# Biblica® Baịbụlụ Nsọ n’Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

The Holy Bible in the Igbo language of Nigeria: Biblica® Baịbụlụ Nsọ n’Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

# Biblica® Baịbụlụ Nsọ n'Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ
## The Holy Bible in the Igbo language of Nigeria: Biblica® Baịbụlụ Nsọ n'Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

copyright © 2020 Biblica, Inc.

Language: Igbo

Contributor: Biblica, Inc.

This work is made available under the Creative Commons Attribution-ShareAlike 4.0 International License (CC BY-SA). To view a copy of this license, visit http://creativecommons.org/licenses/by-sa/4.0 or send a letter to Creative Commons, PO Box 1866, Mountain View, CA 94042, USA.

Biblica® is a trademark registered by Biblica, Inc., and use of the Biblica® trademark requires the written permission of Biblica, Inc. Under the terms of the CC BY-SA license, you may copy and redistribute this unmodified work as long as you keep the Biblica® trademark intact. If you modify a copy or translate this work, thereby creating a derivative work, you must remove the Biblica® trademark. On the derivative work, you must indicate what changes you have made and attribute the work as follows: "The original work by Biblica, Inc. is available for free at www.biblica.com and open.bible."

Notice of copyright must appear on the title or copyright page of the work as follows:

Biblica® Baịbụlụ Nsọ n'Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

Ndị Biblica, Inc. degharịrị ya n'afọ © 1980, 1988, 2019, 2020

Biblica® Open Igbo Contemporary Bible™

Copyright © 1980, 1988, 2019, 2020 by Biblica, Inc.

"Biblica" bụ akara e ji mara ụlọ ọrụ a, nke edebanyere dịka iwu si kwado n'ụlọ ọrụ dị n'obodo United States, ebe a na-enye akara a na ikike maka azụm ahịa ndị Biblica, Inc. Ọ bụ ha ka e nyere ikike idenye ya.

"Biblica" is a trademark registered in the United States Patent and Trademark Office by Biblica, Inc. Used with permission.

You must also make your derivative work available under the same license (CC BY-SA).

If you would like to notify Biblica, Inc. regarding your translation of this work, please contact us at https://open.bible/contact-us.

This translation is made available to you under the terms of the Creative Commons Attribution Share-Alike license 4.0.

You have permission to share and redistribute this Bible translation in any format and to make reasonable revisions and adaptations of this translation, provided that:

- You include the above copyright and source information.
- If you make any changes to the text, you must indicate that you did so in a way that makes it clear that the original licensor is not necessarily endorsing your changes.
- If you redistribute this text, you must distribute your contributions under the same license as the original.

Pictures included with Scriptures and other documents on this site are licensed just for use with those Scriptures and documents. For other uses, please contact the respective copyright owners.

Note that in addition to the rules above, revising and adapting God's Word involves a great responsibility to be true to God's Word. See Revelation 22:18-19.

2023-04-12

---

PDF generated using Haiola and XeLaTeX on 23 Aug 2023 from source files dated 13 Apr 2023

e2303256-375f-5385-8ff3-d387f2bc9c78

Contents


Jenesis . . . 1
Ọpụpụ . . . 67
Levitikọs . . . 122
Ọnụọgụgụ . . . 159
Diuteronomi . . . 216
Joshua . . . 262
Ndị Ikpe . . . 294
Rut . . . 325
1 Samuel . . . 330
2 Samuel . . . 370
1 Ndị Eze . . . 406
2 Ndị Eze . . . 447
1 Ihe E Mere . . . 486
2 Ihe E Mere . . . 531
Ezra . . . 573
Nehemaya . . . 587
Esta . . . 607
Job . . . 617
Abụ Ọma . . . 668
Ilu . . . 816
Ekiliziastis . . . 868
Abụ nke Abụ . . . 882
Aịzaya . . . 893
Jeremaya . . . 1002
Abụ Akwa . . . 1097
Izikiel . . . 1110
Daniel . . . 1179
Hosiya . . . 1198
Juel . . . 1215
Emọs . . . 1222
Ọbadaya . . . 1235
Jona . . . 1238
Maika . . . 1241
Nehum . . . 1251
Habakuk . . . 1256
Zefanaya . . . 1261
Hegai . . . 1267
Zekaraya . . . 1270
Malakaị . . . 1283
Matiu . . . 1287
Mak . . . 1333
Luk . . . 1360
Jọn . . . 1405
Ọrụ Ndị Ozi . . . 1438
Ndị Rom . . . 1480
1 Ndị Kọrint . . . 1500

2 Ndị Kọrint . . . . . 1519
Ndị Galeshịa . . . . . 1532
Ndị Efesọs . . . . . 1539
Ndị Filipai . . . . . 1545
Ndị Kọlọsị . . . . . 1550
1 Ndị Tesalonaịka . . . . . 1555
2 Ndị Tesalonaịka . . . . . 1559
1 Timoti . . . . . 1562
2 Timoti . . . . . 1568
Taịtọs . . . . . 1572
Fịlịmọn . . . . . 1575
Ndị Hibru . . . . . 1577
Jemis . . . . . 1592
1 Pita . . . . . 1597
2 Pita . . . . . 1603
1 Jọn . . . . . 1607
2 Jọn . . . . . 1612
3 Jọn . . . . . 1613
Jud . . . . . 1614
Mkpughe . . . . . 1616

# Jenesis

*Mmalite ihe niile*

1 Na mmalite Chineke kere eluigwe na ụwa. 2 Ụwa bụ ihe na-enweghị ụdịdị ọbụla,
bụrụkwa ihe tọgbọrọ n'efu. Ọchịchịrị gbara n'elu ogbu mmiri dị omimi. Mmụọ nke
Chineke na-erugharị n'elu ogbu mmiri ahụ.

3 Mgbe ahụ Chineke kwuru sị, "Ka ìhè dị," ìhè dịkwara. 4 Chineke hụrụ na ìhè ahụ
mara mma. Ọ kpara oke n'etiti ìhè na ọchịchịrị. 5 Chineke kpọrọ ìhè ahụ Ehihie,
kpọọ ọchịchịrị ahụ Abalị. Uhuruchi dị, ụtụtụ dịkwa. Ọ bụrụ ụbọchị nke mbụ.

6 Chineke kwukwara sị, "Ka mbara pụta nke ga-ekewapụ mmiri dị n'elu mbara ahụ
site na mmiri nke dị n'okpuru mbara ahụ" 7 Ya mere, Chineke mere mbara, kewapụ
mmiri dị n'okpuru mbara ahụ site na mmiri nke dị n'elu mbara ahụ. O sikwa otu
a dịrị. 8 Mbara ahụ ka Chineke kpọrọ mbara eluigwe. Uhuruchi dị, ụtụtụ dịkwa. Ọ
bụrụ ụbọchị nke abụọ.

9 Chineke kwuru sị, "Ka mmiri dị n'okpuru mbara eluigwe chịkọta onwe ha ọnụ
n'otu ebe, ka ala akọrọ pụta." O sikwa otu a dịrị. 10 Chineke kpọrọ ala akọrọ ahụ
"ala," kpọọ mmiri ahụ chịkọtara onwe ha ọnụ "osimiri." Chineke lere anya hụ na ha
dị mma.
11 Chineke kwuru sị, "Ka ala pupụta ahịhịa ndụ dị iche iche: ahịhịa na-amịpụta
mkpụrụ, na osisi dị n'elu ala nke na-amịpụta mkpụrụ, nke mkpụrụ ọkụkụ ya dị
n'ime ya, dịka ụdịdị ha dị iche iche si dị." O sikwa otu a dịrị. 12 Ala puputara ahịhịa
ndụ dị iche iche: ahịhịa na-amịpụta mkpụrụ dịka ụdịdị ha si dị, na osisi na-amịpụta
mkpụrụ, nke mkpụrụ ọkụkụ ya dị n'ime ya, dịka ụdịdị ha si dị. Chineke lere anya
hụ na ọ dị mma. 13 Uhuruchi dị, ụtụtụ dịkwa. Ọ bụrụ ụbọchị nke atọ.

14 Chineke kwuru sị, "Ka ìhè nke na-enye ìhè dịrị na mbara eluigwe, ikewapụ ehihie
site n'abalị. Ka ha bụrụ ihe ama igosi oge dị iche iche, ụbọchị dị iche iche, na afọ
dị iche iche. 15 Ka ha bụrụ ìhè na mbara eluigwe inye ìhè n'elu ụwa." O si otu a
dịrị. 16 Chineke mere ìhè ukwu abụọ, nke kacha ịdị ukwu ka ọ bụrụ nke ga-achị
ehihie, ma nke dị nta ka ọ bụrụ nke ga-achị abalị. O mekwara kpakpando dị iche
iche. 17 Chineke debere ha na mbara eluigwe inye ìhè n'ụwa, 18 ịchị ehihie na abalị
na ịkpa oke n'etiti ìhè na ọchịchịrị. Chineke lere anya hụ na ọ dị mma. 19 Uhuruchi
dị, ụtụtụ dịkwa. Ọ bụrụ ụbọchị nke anọ.

20 Chineke kwuru sị, "Ka mmiri jupụta n'ihe ndị na-eku ume, ka ụmụ anụ ufe
fegharịkwa n'elu ụwa, ma n'elu mbara igwe." 21 Ya mere Chineke kere anụ ukwu
niile bi na mmiri, na anụ niile nwere ndụ bi na mmiri, na ụdị ihe ọbụla nwere ndụ
na-akpụgharị akpụgharị ndị jupụtara na mmiri, dịka ụdịdị ha si dị, na anụ ufe niile
dịka ụdịdị ha si dị. Chineke lere anya hụ na ọ dị mma. 22 Chineke gọziri ha, sị ha,
"Mụbaanụ, dịkwanụ ukwuu n'ọnụọgụgụ, jupụtanụ osimiri niile. Ka anụ ufe dịkwa
ukwuu n'ọnụọgụgụ n'elu ụwa." 23 Uhuruchi dị, ụtụtụ dịkwa. Ọ bụrụ ụbọchị nke
ise.

24 Chineke kwuru sị, "Ka ala wepụta ụmụ anụ dị iche iche nwere ndụ dịka ụdịdị
ha si dị: anụ ụlọ, anụ na-akpụgharị n'ala, na anụ ọhịa, nke ọbụla dịka ụdịdị ya si

dị.” O si otu a dịrị. 25 Chineke mere ụmụ anụ ọhịa, dịka ụdịdị ha si dị, mee anụ ụlọ,
dịka ụdịdị ha si dị, na anụ niile nwere ndụ nke na-akpụgharị n’ala dịka ụdịdị ha si
dị. Chineke lere anya hụ na ọ dị mma.
26 Mgbe ahụ, Chineke kwuru sị, “Ka anyị mee mmadụ n’oyiyi anyị, dịka ụdịdị anyị
si dị, ka ha chịa azụ niile nke osimiri, na anụ ufe niile nke eluigwe, na anụ ụlọ niile,
na anụ ọhịa niile, na ihe niile e kere eke nwere ndụ nke na-akpụ akpụ n’ala.”
27 Ya mere, Chineke kere mmadụ n’oyiyi nke ya,
n’oyiyi Chineke ka o kere ha,
nwoke na nwanyị ka o kere ha.
28 Chineke gọziri ha sị ha, “Mịanụ mkpụrụ, mụbaanụ, jupụtanụ n’ụwa, meenụ ka
ihe niile dịrị n’okpuru unu. Chịanụ azụ niile nke osimiri na anụ ufe niile nke eluigwe
na ihe niile e kere dị ndụ nke na-akpụgharị akpụgharị n’ala.”
29 Mgbe ahụ, Chineke sịrị “Enyela m unu ahịhịa ubi niile na-amị mkpụrụ dị n’elu
ụwa, na osisi ọbụla mịrị mkpụrụ, nke mkpụrụ ọkụkụ ya dị n’ime ha, ka ha bụrụ
ihe oriri gị. 30 Ma ụmụ anụmanụ niile na anụ ufe niile, na anụ niile e kere eke na-
akpụgharị akpụgharị n’ala, anụ ọbụla nwere ndụ n’ime ha ka m na-enye ahịhịa ndụ
niile ka ọ bụrụ ihe oriri ha.”
31 Chineke legharịrị anya n’ihe o kere, hụ na ọ dị ezi mma. Uhuruchi dị, ụtụtụ
dịkwa. Ọ bụrụ ụbọchị nke isii.

# 2

1 Otu a ka e si rụzuo ọrụ ike eluigwe na ụwa na ihe niile dị n’ime ha.

2 N’ụbọchị nke asaa, Chineke kwụsịrị ọrụ ya nke ọ na-arụ, o zukwara ike site n’ọrụ
ya niile. 3 Chineke gọziri ụbọchị nke asaa ahụ mee ya ka ọ bụrụ ụbọchị dị nsọ, n’ihi
na ọ bụ n’ụbọchị ahụ ka ọ zuru ike site n’ọrụ nke ike ihe niile.

## *Adam na Iiv*

4 Nke a bụ akụkọ banyere usoro okike eluigwe na ụwa mgbe e kere ha, n’ụbọchị
ahụ mgbe Onyenwe anyị Chineke kere eluigwe na ụwa.

5 Ahịhịa ọbụla epupụtabeghị n’ọhịa, o nwekwaghị ihe ubi ọbụla sitere n’ala
pupụta, n’ihi na Onyenwe anyị Chineke ezitebeghị mmiri ozuzo n’elu ụwa, o
nwekwaghị mmadụ ọbụla nọ na-arụ ọrụ ubi, 6 ma mmiri si n’ala na-asọpụta na-
asọ n’elu ala niile. 7 Onyenwe anyị Chineke kpụrụ mmadụ site n’aja nke ala, kunye
ya ume ndụ n’imi ya, nke mere ka mmadụ ghọọ ihe dị ndụ.
8 Onyenwe anyị Chineke kụrụ ubi a gbara ogige n’akụkụ ọwụwa anyanwụ, n’Iden.
O tinyere mmadụ ahụ ọ kpụrụ n’ime ubi a. 9 Onyenwe anyị Chineke mere ka osisi dị
iche iche si n’ala pupụta, osisi ndị dị mma ile anya na nke dịkwa mma iri eri. N’etiti
ogige a, e nwere osisi na-enye ndụ, na osisi nke ịmata ihe ọma na ihe ọjọọ.
10 E nwere iyi si n’Iden na-asọpụta na-asọbanye n’ime ogige ahụ ime ka ala ahụ
nwee mmiri. Site n’ebe ahụ, iyi a kewara nwee ngalaba anọ. 11 Aha ngalaba nke
mbụ bụ Paịshọn. Ọ sọọrọ ogologo gafee ala niile nke Havila, ebe a na-enweta ọlaedo.
12 (Ọlaedo dị n’ala ahụ mara mma. Eso osisi na-esi isi ụtọ na nkume dị oke ọnụahịa a
na-akpọ ọniks dịkwa n’ebe ahụ.) 13 Aha ngalaba nke abụọ bụ Gaihọn. O sitere n’ala
Kush* gafee. 14 Aha osimiri nke atọ bụ Taịgris. Ọ na-asọla n’akụkụ ọwụwa anyanwụ
nke ala Ashọ.† Aha osimiri nke anọ bụ Yufretis.

* **2:13** 2:13 Kush bụ aha e ji maara ala ndị Sụdan maọbụ Itiopia n’asụsụ ndị Hibru. Mgbe ọbụla e kwuru banyere Kush n’akwụkwọ ọgbụgba ndụ ochie, ọ bụ ala ahụ ka a na-ekwu ihe banyere ya. † **2:14** 2:14 Ashọ na Asịrịa bụ otu ihe

15 ONYENWE ANYỊ Chineke weere mmadụ ahụ tinye ya n’ogige Iden, ka ọ na-akọ ya
ma bụrụkwa onye na-elekọta ya. 16 ONYENWE ANYỊ Chineke nyere mmadụ ahụ iwu sị
ya “I nwere ike iri mkpụrụ osisi niile dị n’ubi a, 17 ma ị gaghị eri mkpụrụ si n’osisi
ịmata ihe ọma na ihe ọjọọ. N’ihi na ụbọchị i riri ya ị ga-anwụrịrị.”
18 ONYENWE ANYỊ Chineke kwuru sị, “Ọ dịghị mma ka nwoke nọrọ naanị ya. Aga m
emere ya onye inyeaka nke kwesiri ya.”
19 ONYENWE ANYỊ Chineke sitere n’ala kpụọ ụmụ anụmanụ niile nke ọhịa na ụmụ
anụ ufe niile nke eluigwe. O dutere ha ka ọ mara ihe mmadụ ahụ ga-akpọ ha. Ihe
ọbụla mmadụ ahụ kpọrọ ihe ọbụla ndị a nwere ndụ, nke ahụ bụkwa aha ya. 20 Ya
mere, mmadụ ahụ nyere anụ ụlọ niile na anụ ufe niile na anụ ọhịa niile aha.
Ma n’ebe Adam nọ, o nweghị onye inyeaka kwesiri ya. 21 Ya mere, ONYENWE
ANYỊ Chineke mere ka nwoke ahụ daa n’ụra. Mgbe ọ nọ na-arahụ ụra, o wepụtara
otu ọgịrịga site na ngụ dị ya n’ahụ, mechikwaa ebe o si wepụta ya. 22 Mgbe ahụ,
ONYENWE ANYỊ Chineke ji otu ọgịrịga o si n’ahụ nwoke ahụ wepụta, mee nwanyị,
dutere ya nwoke ahụ.
23 Nwoke ahụ kwuru sị,
“Nke a bụ ọkpụkpụ si n’ọkpụkpụ m,
na anụ ahụ si n’ahụ m,
a ga-akpọ ya ‘nwanyị,’
n’ihi na e si n’ime nwoke wepụta ya.”
24 Ọ bụ nke a mere nwoke ga-eji hapụ nne na nna ya, e jikọta ya na nwunye ya, ha
ga-abụ otu anụ ahụ.
25 Nwoke ahụ na nwunye ya gba ọtọ, ma ihere emeghị ha.

# 3

*Mmehie na Ọdịda*
1 Agwọ dị aghụghọ karịa ụmụ anụ ọhịa niile ONYENWE ANYỊ Chineke kere. Ọ
bịakwutere nwanyị ahụ sị ya, “Ọ bụ ezie na Chineke sị unu erila mkpụrụ si n’osisi
niile dị n’ogige a?”
2 Nwanyị ahụ zara sị ya, “Anyị nwere ike rie mkpụrụ si n’osisi niile dị n’ogige a 3 ma
Chineke kwuru sị, ‘Unu erila mkpụrụ si n’osisi dị n’etiti ogige a, unu emetụkwala ya
aka, ka unu ghara ịnwụ.’ ”
4 Agwọ gwara nwanyị ahụ sị, “Unu agaghị anwụ. 5 N’ihi na Chineke maara na ọ
bụrụ na unu erie ya, anya unu ga-emeghe, unu ga-amata ezi ihe na ajọ ihe.”
6 Nwanyị ahụ hụrụ na mkpụrụ si n’osisi ahụ dị mma iri eri, na ọ dị mma n’anya,
na ọ bụ osisi mara mma e si enweta amamihe. Ọ ghọọrọ mkpụrụ ahụ rie, nyekwa di
ya, onye nke na ya nọ, o rie. 7 Mgbe ahụ, anya ha abụọ meghere, ha chọpụtara na
ha gba ọtọ. Ya mere, ha dụkọtara ahịhịa fiig, jiri ya mere onwe ha akwa.
8 Mgbe nwoke ahụ na nwunye ya nụrụ ụda njeghari ONYENWE ANYỊ Chineke n’ogige
ahụ n’oge uhuruchi, ha zoro onwe ha site n’ebe ONYENWE ANYỊ Chineke nọ n’etiti osisi
ndị dị n’ogige ahụ. 9 Ma ONYENWE ANYỊ Chineke kpọrọ nwoke ahụ oku sị ya, “Ebee
ka ị nọ?”
10 Ọ zara si, “Anụrụ m ụda ụkwụ gị n’ogige, n’ihi ya, atụrụ m ụjọ, ebe ọ bụ na m
gba ọtọ. Ezokwara m onwe m.”
11 ONYENWE ANYỊ Chineke jụrụ ya sị, “Onye gwara gị na ị gba ọtọ? I riela mkpụrụ
si n’osisi ahụ m nyere gị iwu sị gị erila?”
12 Nwoke ahụ sịrị, “Nwanyị ahụ i mere ka mụ na ya nọdụ, ọ bụ ya nyere m mkpụrụ
sitere n’osisi ahụ, m rie.”
13 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ Chineke sịrị nwanyị ahụ, “Gịnị bụ ihe a i mere?”
Nwanyị ahụ zara sị, “Ọ bụ agwọ ghọgburu m, mee m ka m rie ya.”

*Ikpe Ọmụma*

14 Ya mere, ONYENWE ANYỊ Chineke gwara agwọ ahụ sị, "N'ihi ihe a i mere,
"Ihe a bụrụ ọnụ ka ị bụ n'etiti anụ ụlọ niile
na n'etiti anụ ọhịa niile.
Afọ gị ka ị ga-eji na-aga ije,
aja ka ị ga na-eri
ogologo ụbọchị ndụ gị niile.
15 Aga m eme ka iro
dịrị n'etiti gị na nwanyị ahụ,
n'etiti mkpụrụ gị na mkpụrụ ya,
mkpụrụ ya ga-etipịa gị isi,
gị onwe gị ga-ata ya arụ n'ikiri ụkwụ."
16 Ọ gwara nwanyị ahụ sị ya,
"Aga m eme ka ihe mgbu nke ịmụ nwa gị baa ụba nke ukwuu,
ọ bụ site n'ihe mgbu ka ị ga-eji mụpụta ụmụ gị.
Ọchịchọ nke obi gị ga-adị n'aka di gị,
ọ bụ ya ga-achịkwa gị."
17 Ọ gwara Adam sị, "N'ihi na ị ṅara nwunye gị ntị, rie mkpụrụ site n'osisi ahụ m
nyere gị iwu sị, 'Gị erila mkpụrụ sitere na ya,'
"Ala bụ ihe a bụrụ ọnụ n'ihi gị,
site n'oke ndọgbu n'ọrụ ka ị ga-eri ihe si na ya pụta
ogologo ụbọchị ndụ gị niile.
18 Ọ ga-erupụtara gị ogwu na uke,
ị ga-erikwa ahịhịa nke ubi.
19 Site n'ọsụsọ nke ga-agbapụta gị n'ihu
ka ị ga-eri nri gị
tutu ruo mgbe ị lọghachiri n'ala
ebe ọ bụ site n'ala ka e si mepụta gị
n'ihi na aja ka ị bụ,
n'aja ka ị ga-alaghachikwa."
20 Adam* gụrụ nwunye ya Iiv,† n'ihi na ọ bụ nne mmadụ niile dị ndụ.
21 Emesịa, ONYENWE ANYỊ Chineke weere akpụkpọ anụ meere Adam na nwunye ya
uwe oyiyi. 22 ONYENWE ANYỊ Chineke sịrị, "Lee, mmadụ adịla ka onye ọbụla n'ime
anyị site n'ịmata ihe ọma na ihe ọjọọ. Ugbu a, ka ọ gharakwa ị setịpụ aka ya ghọrọ
mkpụrụ osisi ahụ na-enye ndụ rie, si otu a dịrị ndụ ruo mgbe ebighị ebi." 23 N'ihi nke
a, ONYENWE ANYỊ Chineke chụpụrụ ya site n'ogige Iden ka ọ gaa na-arụ ọrụ n'ala e si
wepụta ya. 24 Mgbe ọ chụpụrụ mmadụ, o dochiri n'ọwụwa anyanwụ nke ogige Iden
ndị mmụọ ozi dị ike a na-akpọ Cherubim, na mma agha na-acha ọkụ, ka ha na-eche
ọnụ ụzọ e si aba n'ebe osisi ahụ na-enye ndụ dị nche.

# 4

*Ken na Ebel*

1 Emesịa, Adam na nwunye ya Iiv dinakọrọ dịka di na nwunye. Iiv tụụrụ ime mụọ
nwa nwoke, onye ha gụrụ Ken. Iiv sịrị, "Site n'inyeaka ONYENWE ANYỊ, amụtala m
nwa nwoke!" 2 Emesịa Iiv mụtara nwanne ya nwoke Ebel.
Ebel ghọrọ onye na-azụ igwe atụrụ. Ma Ken ghọrọ onye ọrụ ubi. 3 Mgbe ụfọdụ oge
gasịrị, Ken wetaara ONYENWE ANYỊ ụfọdụ ihe ubi ya dịka onyinye. 4 Ma Ebel, ya onwe
ya nyekwara onyinye site n'igwe ewu na atụrụ ya e bụ ụzọ mụọ, nke mara abụba.

* **3:20** 3:20 Maọbụ, Nwoke ahụ † **3:20** 3:20 Eleghị anya Iiv pụtara Ịdị ndụ

ONYENWE ANYỊ nabatara Ebel na onyinye ya, 5 ma ọ nabataghị Ken na onyinye ya.
Nke a wutere Ken, mee ka o wee iwe dị ukwuu. Ihu ya agbarụọ.
6 Ma ONYENWE ANYỊ jụrụ ya sị, "Gịnị mere i ji ewe iwe? Gịnị mere ihu gị ji gbarụọ?
7 Ọ bụrụ na i mee ihe ziri ezi, agaghị anabata gị? Ọ bụrụkwanụ na ị jụ ime ihe ziri
ezi, mmehie nọ n'ọnụ ụzọ na-eche gị ịla gị n'iyi. Lezie anya hụ na i meriri ya."
8 Ken gwara nwanne ya Ebel sị, "Bịa soro m ka anyị banye ọhịa." Mgbe ha nọ
n'ebe ahụ, Ken jidere nwanne ya gbuo ya.
9 Emesịa, ONYENWE ANYỊ jụrụ Ken ajụjụ sị, "Ebee ka Ebel nwanne gị nwoke nọ?"
Ọ zaghachiri, "Amaghị m. Abụ m onye nche nwanne m?"
10 Ma ONYENWE ANYỊ zara sị ya, "Gịnị ka i mere? Gee ntị, ọbara nwanne gị na-
akpọku m site n'ala. 11 Site ugbu a gaa n'ihu ị bụrụla onye a bụrụ ọnụ, na onye e
si n'ala chụpụ, ala ahụ meghepụrụ ọnụ ya nabata ọbara nwanne gị, site n'aka gị.
12 Mgbe ị kụrụ ihe ọbụla n'ime ya, ala agaghị enye gị mkpụrụ ya n'uju. Site ugbu a
gaa n'ihu, ị ga-abụ onye na-awagharị awagharị na onye na-abaghị n'ihe n'ụwa."
13 Ken zara ONYENWE ANYỊ, "Ntaramahụhụ i nyere m dị ukwuu karịa nke m nwere
ike ibu. 14 Ugbu a, abụ m onye i si n'ala ubi ya chụpụ. Abụkwa m onye i si n'ihu
gị chụpụ. Bido taa aga m abụ onye na-awagharị awagharị n'ime ụwa. Onye ọbụla
hụkwara m ga-egbu m."
15 ONYENWE ANYỊ zara sị ya, "O nweghị onye ga-egbu gị, n'ihi na aga m atụkwasịrị
onye ọbụla metụrụ gị aka ntaramahụhụ okpukpu asaa karịa nke m nyere gị."
Ya mere, ONYENWE ANYỊ kara Ken akara iji gbochie onye ọbụla hụrụ ya igbu ya.
16 Ken sitere n'ihu ONYENWE ANYỊ pụọ gaa biri n'ala Nọd,* obodo dị n'akụkụ ọwụwa
anyanwụ Iden.
17 Ken na nwunye ya dinakọrọ, nwunye ya tụụrụ ime mụta nwa nwoke aha ya bụ
Enọk. N'oge a, Ken nọ na-ewu otu obodo ọ gụrụ Enọk, nke bụ aha nwa ya nwoke.
18 Enọk bụ nna Irad, Irad bụ nna Mehujael, Mehujael bụ nna Metusael, Metusael
abụrụ nna Lamek.
19 Lamek lụrụ ụmụ nwanyị abụọ. Aha nwunye ya nke mbụ bụ Ada. Aha nke ọzọ
bụ Zila. 20 Ada mụtara Jabal, onye bụ nna ndị na-azụ anụ ụlọ, na ndị na-ebi n'ụlọ
ikwu. 21 Aha nwanne ya nwoke bụ Jubal, onye mbụ bụ nna ndị na-akpọ ụbọ akwara,
na ndị na-afụ opi. 22 Zila, mụtara otu nwa nwoke aha ya bụ Tubal Ken, onye bụ nna
ndị niile na-akpụ ihe dị iche iche e ji bronz maọbụ igwe kpụọ. Aha nwanne nwanyị
Tubal Ken bụ Naama.
23 Lamek kpọrọ ndị nwunye ya sị ha,
"Geenụ m ntị, Ada na Zila,
unu ndị nwunye Lamek, nụrụ okwu sị m n'ọnụ.
Egbuola m otu nwoke n'ihi na ọ merụrụ m ahụ,
otu nwokorobịa n'ihi na ọ mehịara m ahụ.
24 Ọ bụrụ na a ga-abọtara Ken ọbọ ugboro asaa,
mgbe ahụ, a ga-abọtara Lamek ọbọ iri ugboro asaa na asaa."
25 Adam na Iiv dinakọrọ ọzọ, Iiv tụụrụ ime mụta nwa nwoke ọ gụrụ Set. N'ihi
na Iiv kwuru sị, "Chineke enyela m nwa nwoke ọzọ n'ọnọdụ Ebel onye Ken gburu."
26 Set mụtara nwa nwoke gụọ ya Enọsh.
N'oge ahụ ka ụmụ mmadụ bidoro ịkpọku aha ONYENWE ANYỊ.

# 5

*Site n'Adam ruo Noa*

1 Nke a bụ usoro ihe ndepụta banyere agbụrụ Adam.

---

* **4:16** 4:16 Nọd pụtara Awagharị Nke a dị n'amaokwu 4:12,16

Mgbe Chineke kere mmadụ, o kere ya n’oyiyi Chineke. 2 O kere ha nwoke na
nwanyị, gọziekwa ha. Mgbe e kere ha, ọ kpọrọ ha mmadụ.

3 Mgbe Adam gbara narị afọ na iri afọ atọ, ọ mụrụ nwa ya nwoke n’oyiyi nke ya,
na n’ụdịdị nke ya. Ọ gụrụ ya Set. 4 Site n’oge a mụrụ Set, Adam dịrị ndụ narị
afọ asatọ ọzọ, ọ mụrụ ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom. 5 Adam nwụrụ mgbe ọ
gbara narị afọ itoolu na iri afọ atọ.
6 Set gbara narị afọ na ise mgbe ọ ghọrọ nna Enọsh, 7 Mgbe ọ ghọchara nna Enọsh,
Set dịrị ndụ ruo narị afọ asatọ na asaa ọzọ, mụta ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị
inyom. 8 Set nwụrụ mgbe ọ gbara narị afọ itoolu na iri afọ na abụọ.
9 Mgbe Enọsh gbara iri afọ itoolu, ọ ghọrọ nna Kenan. 10 Mgbe ọ ghọchara nna
Kenan, Enọsh dịrị ndụ narị afọ asatọ na iri afọ na ise, mụta ụmụ ndị ikom na
ụmụ ndị inyom. 11 Enọsh nwụkwara mgbe ọ nọzuru narị afọ itoolu na afọ ise.
12 Mgbe Kenan gbara iri afọ asaa ka ọ ghọrọ nna Mahalalel. 13 Mgbe ọ ghọchara
nna Mahalalel, Kenan dịrị ndụ narị afọ asatọ na iri afọ anọ mụta ụmụ ndị ikom
na ụmụ ndị inyom. 14 Kenan nwụrụ mgbe ọ gbara narị afọ itoolu na afọ iri.
15 Mgbe Mahalalel gbara iri afọ isii na afọ ise ka ọ ghọrọ nna Jared. 16 Mgbe ọ
ghọchara nna Jared, Mahalalel dịrị ndụ narị afọ asatọ na iri afọ atọ, mụta ụmụ
ndị ikom na ụmụ ndị inyom. 17 Mahalalel nwụrụ mgbe ọ gbara narị afọ asatọ na
iri afọ itoolu na ise.
18 Mgbe Jared dị narị afọ na iri afọ isii na abụọ ka ọ ghọrọ nna Enọk. 19 Mgbe ọ
ghọchara nna Enọk, Jared dịrị ndụ narị afọ asatọ ọzọ mụta ụmụ ndị ikom na
ụmụ ndị inyom. 20 Jared nwụrụ mgbe ọ gbara narị afọ itoolu na iri afọ isii na
abụọ.
21 Mgbe Enọk gbara iri afọ isii na afọ ise ka ọ ghọrọ nna Metusela. 22 Mgbe ọ
ghọchara nna Metusela, Enọk soro ụzọ Chineke narị afọ atọ. N’oge a, ọ mụtara
ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom. 23 Ọnụọgụgụ nke afọ niile Enọk biri ndụ, bụ
narị afọ atọ na iri afọ isii na ise. 24 Enọk soro ụzọ Chineke ruo na a hụkwaghị ya
n’ihi na Chineke kpọọrọ ya.
25 Mgbe Metusela gbara narị afọ na iri afọ asatọ na asaa ka ọ ghọrọ nna Lamek.
26 Mgbe ọ ghọchara nna Lamek, Metusela dịrị ndụ narị afọ asaa na iri afọ asatọ
na abụọ ọzọ mụta ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom. 27 Metusela nwụrụ mgbe ọ
gbara narị afọ itoolu na iri afọ isii na itoolu.
28 Mgbe Lamek gbara narị afọ na iri afọ asatọ na abụọ ka ọ mụtara nwa nwoke.
29 Lamek gụrụ ya Noa, n’ihi na ọ sịrị: “Ọ ga-akasị anyị obi n’ime oke ọrụ na
ndọgbu anyị na-adọgbu onwe anyị n’ọrụ n’ala a ONYENWE ANYỊ bụrụ ọnụ.”
30 Mgbe a mụsịrị Noa, Lamek dịrị ndụ narị afọ ise na iri afọ itoolu na ise ọzọ
mụta ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom. 31 Lamek nwụrụ mgbe ọ gbara narị afọ
asaa na iri afọ asaa na asaa.
32 Mgbe Noa gbara narị afọ ise ọ ghọrọ nna Shem, Ham na Jafet.

# 6

*Ajọ omume dị n’ime Ụwa*

1 Mgbe ndị mmadụ bidoro mụbaa n’ụwa, mgbe a mụtakwaara ha ọtụtụ ụmụ ndị
inyom, 2 ka ụmụ ndị ikom Chineke bidoro ilekwasị ụmụ ndị inyom ndị mmadụ anya,
hụ na ha mara mma. Ha duuru ndị inyom ọbụla masịrị ha ka ha bụrụ nwunye ha.
3 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị, “Mmụọ m na mmadụ agaghị anọgide n’ịgba mgba

n’ime mmadụ ruo ebighị ebi, n’ihi na mmadụ efu ka ọ bụ.* Ọnụọgụgụ ndụ ya ga-abụ
narị afọ na iri afọ abụọ.”
4 Ndị Nefilim nọ n’ụwa n’oge ahụ, ma n’oge sotere ya mgbe ahụ, ụmụ ndị ikom
Chineke na-abakwuru ndị inyom ụmụ mmadụ, site na mmekọrịta dị otu a mụọ ụmụ.
Ndị a bụ ndị dike mgbe ochie ahụ, ndị a ma ama.
5 ONYENWE ANYỊ hụrụ otu ịba ụba nke ajọ omume mmadụ si dị ukwuu, hụkwa na
echiche uche nke obi ya niile dị naanị n’ime ihe ọjọọ, mgbe niile. 6 O wutere ONYENWE
ANYỊ nke ukwuu na o kere mmadụ, mkpụrụobi ya jupụtakwara n’ihe mgbu. 7 N’ihi
ya, ONYENWE ANYỊ sịrị, “Aga m esi n’ụwa kpochapụ mmadụ niile m kere eke. E e,
mmadụ na anụmanụ niile, na ihe e kere eke na-akpụgharị n’elu ala, na anụ ufe niile.
N’ihi na o wutere m na m kere ha.” 8 Ma Noa nwetara ihuọma n’anya ONYENWE ANYỊ.

### *Noa na uju mmiri*

9 Nke a bụ akụkọ banyere usoro ndụ Noa na ezinaụlọ ya.

Noa bụ onye ezi omume. Onye na-enweghị ịta ụta ọbụla n’etiti ndị bi n’oge ya. O
mere ihe n’ụzọ Chineke chọrọ ya. 10 Noa mụtara ụmụ ndị ikom atọ aha ha bụ, Shem,
Ham, na Jafet.
11 Ma n’anya Chineke, ụwa bụ ihe rụrụ arụ, jupụtakwa n’ihe ike. 12 Chineke hụrụ
otu ụwa si jọgbuo onwe ya na njọ, hụkwa na ụmụ mmadụ bụ ndị ihe ọjọọ riri ahụ.
13 Chineke sịrị Noa, “Aga m ebibi ihe niile bụ mmadụ, n’ihi na ụwa jupụtara n’ihe
ike n’ihi omume mmadụ. E e, aga m ebibi ụwa na ndị niile nọ n’ime ya. 14 Ya mere,
jiri osisi gofa wuore onwe gị ụgbọ mmiri. Rụnye ọtụtụ ọnụụlọ n’ime ya. Jiri korota
techie elu ya na ime ya. 15 Otu a ka i ga-esi wuo ya: mee ka ogologo ụgbọ mmiri ahụ
dịrị narị mita na iri mita anọ, obosara ya dịrị iri mita abụọ na atọ, ịdị elu ya dịrị
mita iri na atọ na ọkara. 16 Meere ụgbọ mmiri ahụ ihe e ji ekpuchi elu ya. Mekwa
oghere ga-adị ọkara mita site n’ebe ihe mkpuchi elu ụgbọ mmiri ahụ gbadata. Tinye
ọnụ ụzọ n’akụkụ ụgbọ mmiri ahụ, ma rụọkwa okpukpu nkwasa atọ, nke ala ala, nke
etiti na nke elu elu. 17 N’ihi na aga m eweta uju mmiri n’ụwa, ibibi ihe niile nwere
ndụ dị n’okpuru eluigwe. Ihe niile e kere eke na-eku ume ndụ ga-anwụ. Ihe niile nọ
n’ụwa ga-ala n’iyi. 18 Ma aga m eme ka ọgbụgba ndụ m dịrị gị. Ị ga-abanye n’ụgbọ
mmiri ahụ, gị na ụmụ gị ndị ikom, na nwunye gị, na ndị nwunye ụmụ gị ndị ikom.
19 Ị ga-ewebata ihe niile e kere eke dị ndụ, abụọ abụọ, oke na nwunye, ichebe ha ndụ.
20 Ụdị nnụnụ dị iche iche, abụọ abụọ, na ụdị anụmanụ ọbụla dị iche iche, na ụdị anụ
na-akpụ akpụ dị iche iche, ga-abịakwute gị ka i debe ha ndụ. 21 Ị ga-ewebata ụdị nri
dị iche iche a na-eri eri, chịkọtaa ha ka ọ bụrụ nri nke gị na nke ha.”
22 Noa mere ihe niile dịka Chineke nyere ya iwu ime.

## 7

1 Mgbe ụbọchị ahụ zuru, ONYENWE ANYỊ kpọrọ Noa sị ya, “Baa n’ime ụgbọ mmiri,
gị na ezinaụlọ gị niile, n’ihi na n’ime ndị niile bi n’ọgbọ a, ọ bụ naanị gị bụ onye ezi
omume m hụrụ. 2 Kpọrọ ụmụ anụmanụ ndị a a gụrụ dịka ndị dị ọcha, dịka ụdị ha si
dị asaa asaa, oke na nwunye. Otu a kwa, kpọrọkwa ụmụ anụmanụ ndị a gụrụ dịka
ndị na-adịghị ọcha, dịka ụdị ha si dị, abụọ abụọ, oke na nwunye, 3 na ụmụ anụ ufe
asaa asaa, dịka ụdị ha si dị, oke na nwunye, maka idebe ụdị ndị a niile ndụ n’ụwa.
4 N’ihi na ụbọchị asaa site taa, aga m ezidata mmiri ozuzo n’ụwa. Mmiri a ga-ezo iri
ụbọchị anọ, ehihie na abalị. Aga m ekpochapụ site n’elu ụwa ihe niile nwere ndụ
nke m kere.”
5 Ya mere, Noa mere ihe niile ONYENWE ANYỊ nyere ya n’iwu.

* **6:3** 6:3 Maọbụ, Mmụọ m agaghị adịgide n’ime mmadụ ruo ebighị ebi n’ihi na ha bụ ihe rụrụ arụ.

6 Noa gbara narị afọ isii mgbe mmiri ukwu a bidoro izo n’elu ụwa. 7 Noa banyere
n’ụgbọ mmiri ahụ, ya na ụmụ ya ndị ikom na nwunye ya, na ndị nwunye ụmụ ya
ndị ikom ịgbanarị uju mmiri ahụ. 8 Ụmụ anụmanụ ndị dị ọcha, na ndị na-adịghị
ọcha, abụọ abụọ, tinyere anụ ufe na ihe niile e kere eke na-akpụgharị n’ala, abụọ
abụọ kwa, 9 oke na nwunye, bịakwutere Noa soro ya banye n’ụgbọ mmiri ahụ, dịka
Chineke nyere Noa n’iwu. 10 Mgbe abalị asaa gafere, uju mmiri ahụ bịakwasịrị ụwa.

11 N’afọ narị isii nke ndụ Noa, n’ọnwa nke abụọ, n’ụbọchị nke iri na asaa, bụ ụbọchị
isi iyi niile dị n’ime ime ala nupụtara n’elu ala, mmiri niile dị na mbara eluigwe ka
a hapụrụ ka ha wụdata n’ụwa. 12 Mmiri zogịdere na-esepụghị aka iri ụbọchị anọ,
ehihie na abalị.

13 N’ụbọchị ahụ kpomkwem, Noa banyere n’ụgbọ mmiri ahụ, ya na Shem, Ham
na Jafet, bụ ụmụ Noa, na nwunye Noa, na ndị nwunye atọ nke ụmụ ya. 14 Ha onwe
ha, na anụ ọhịa ọbụla, n’ụdị ya, na anụ ụlọ ọbụla, n’ụdị ya na ihe ọbụla e kere eke
na-akpụgharị n’ala, n’ụdị ya, na anụ ufe ọbụla n’ụdị ya, na aha nnụnụ ọbụla na
ihe ọbụla nwere nku. 15 Ha bịakwutere Noa n’ime ụgbọ mmiri ahụ, abụọ abụọ site
n’ihe niile ọbụla e kere eke, nke nwere ume ndụ n’ime ha. 16 Ma ndị banyerenụ bụ
oke na nwunye, site na ihe niile nwere ndụ dịka Chineke nyere ya n’iwu. Mgbe ahụ,
Onyenwe anyị mechiri ọnụ ụzọ dị n’ụgbọ mmiri ahụ.

17 Uju mmiri nọgidere n’ụwa iri ụbọchị anọ. Mgbe mmiri ndị a na-aba ụba,
ha buliri ụgbọ mmiri ahụ elu site n’elu ala. 18 Mmiri ndị a toro na-ala elu na-
abawanyekwa ụba n’elu ụwa. Ụgbọ mmiri ahụ segooro n’elu mmiri. 19 Mmiri ndị
ahụ toro laa elu kpuchie ugwu ukwu niile dị n’okpuru mbara eluigwe. 20 Mmiri ndị a
toro kpuchiri ugwu niile, ruo na ịla elu mmiri ndị a site n’elu ugwu ukwu niile ruru
mita asaa. 21 Ihe niile nwere ndụ nke na-ejegharị n’elu ụwa kubiri ume. Anụ ufe, na
anụ ụlọ, na anụ ọhịa, na ihe niile e kere eke jupụtara n’ụwa, na ụmụ mmadụ niile.
22 Ee, ihe niile na-eku ume nke bi n’elu ala nwụrụ. 23 Ihe niile nwere ume ndụ n’elu
ụwa ka e kpochapụrụ. Mmadụ na anụmanụ, na anụ na-akpụgharị n’ala na nnụnụ
niile. A lara ha niile n’iyi. Ma ọ bụ naanị Noa na ndị niile so ya nọdụ n’ụgbọ mmiri
ahụ ka a hapụrụ ndụ.

24 Narị ụbọchị na iri ụbọchị ise ka mmiri dọọrọ n’elu ụwa dum.

# 8

1 Ma Chineke chetara Noa na ụmụ anụ ọhịa niile, na ụmụ anụ ụlọ niile so ya nọdụ
n’ụgbọ mmiri ahụ. O zitere ifufe, mee ka o fee n’elu mmiri ahụ ime ka mmiri ahụ
bido ịta. 2 A kpọchiri isi iyi mmiri niile dị n’ime ime ala, kpọchiekwa ọnụ ụzọ mmiri
ozuzo nke mbara eluigwe. Mmiri kwụsịrị isi na mbara eluigwe na-ezokwasị ụwa.
3 Mmiri ahụ dị n’ụwa ji nwayọọ na-ata. Mgbe narị ụbọchị na iri ụbọchị ise gafesịrị,
mmiri ahụ atalatala. 4 N’ụbọchị iri na asaa nke ọnwa asaa, ụgbọ mmiri ahụ gara
nọkwasị n’elu ugwu Ararat. 5 Mmiri a gara n’ihu na-ata ruo ọnwa nke iri. N’ụbọchị
nke mbụ nke ọnwa iri, e bidoro ịhụ elu ugwu ndị ọzọ anya.

6 Mgbe iri ụbọchị anọ gafere, Noa meghere oghereikuku ọ rụnyere n’akụkụ ụgbọ
mmiri ahụ, 7 site n’ebe ahụ zipụ otu ugolọma nke na-efepụ na-efebatakwa, tutu ruo
mgbe mmiri kọrọ n’elu ala. 8 Emesịa, o zipụrụ otu nduru iji mata ma mmiri ọ kọọla
n’ala, 9 ma nduru ahụ achọtaghị ebe o nwere ike ibe, n’ihi na mmiri ka tojuru elu
ụwa niile. N’ihi ya, nduru ahụ lọghachikwutere Noa n’ime ụgbọ ahụ. Noa setịpụrụ
aka ya nwụbata nduru ahụ n’ụgbọ. 10 Mgbe abalị asaa gafere, Noa zipụrụ nduru
ahụ ọzọ 11 N’oge anyasị, nduru a lọghachiri. Ọ kpụ akwụkwọ oliv ọhụrụ ọ kụbitere
n’ọnụ ya. Nke a gosiri Noa na mmiri ahụ ataala n’elu ala. 12 Mgbe abalị asaa gafere,
Noa zipụkwara nduru ahụ ọzọ. Ma n’oge a, ọ lọtakwaghị ọzọ.

[13] N'ụbọchị mbụ nke ọnwa mbụ n'afọ narị isii na otu nke ndụ Noa, mmiri ahụ
atachaala n'elu ala. Mgbe ahụ, Noa kpughepụrụ ihe mkpuchi nke ụgbọ mmiri ahụ,
hụ na mmiri atachaala n'elu ala. [14] Ma ọ bụ n'ụbọchị iri abụọ na asaa nke ọnwa
abụọ ka mmiri ji takọrọchaa n'elu ala.
[15] Mgbe ahụ, Chineke gwara Noa okwu sị ya, [16] "Site n'ụgbọ mmiri pụta, gị na
nwunye gị, na ụmụ gị ndị ikom, na ndị nwunye ụmụ gị ndị ikom. [17] Kpọpụta anụ
niile dị ndụ nke gị na ha nọ, anụ ufe, na ụmụ anụmanụ, na ihe e kere eke niile
na-akpụgharị n'ala, ka ha gaa n'ụwa mụọ ọmụmụ, baa ụba, jupụta n'elu ya."
[18] Ya mere, Noa si n'ụgbọ mmiri ahụ pụta, ya na ụmụ ya, na nwunye ya, na ndị
nwunye ụmụ ya. [19] Ma anụmanụ niile ọbụla nke dị ndụ, na ihe niile na-akpụgharị
n'ala, na anụ ufe niile, ihe niile na-ejegharị n'ụwa, ka ụdị ha si dị, sitere n'ụgbọ
mmiri ahụ pụta.
[20] Mgbe ahụ, Noa wuru ebe ịchụ aja* nye ONYENWE ANYỊ. Ọ họọrọ site n'anụ ụlọ
ndị dị ọcha na anụ ufe ndị dị ọcha chụọ aja nsure ọkụ. [21] ONYENWE ANYỊ nụrụ isisi
ụtọ nke aja nsure ọkụ ahụ kwuo n'obi ya sị, "Agaghị m abụ ala ọnụ ọzọ n'ihi mmadụ,
ebe ọ bụ na izuzu obi mmadụ bụ ime ihe ọjọọ site na mgbe ọ bụ nwata, agakwaghị
m ala ihe niile e kere eke na-eku ume ndụ iyi ọzọ, dịka m mere.
[22] "Ogologo oge niile ụwa ga-anọgide,
oge ịkụ mkpụrụ na oge iwe ihe ubi,
oge oyi na oge okpomọkụ,
ọkọchị na udu mmiri,
ehihie na abalị,
agaghị ebi."

# 9

*Ọgbụgba Ndụ Chineke na Noa gbara*

[1] Mgbe ihe ndị a gasịrị, Chineke gọziri Noa na ụmụ ya sị ha: "Mụọnụ, baanụ,
jupụtanụ n'ụwa. [2] Egwu unu na ụjọ unu ga-adakwasị anụmanụ niile nke ụwa nke
dị ndụ, na anụ ufe niile nke eluigwe, na ihe e kere eke niile na-akpụgharị n'ala, na
azụ niile dị n'osimiri. Ewerela m ha niile nyefee unu n'aka. [3] Ihe ọbụla dị ndụ nke
na-ejegharị ejegharị ga-abụ nri unu. Enyela m unu ihe niile ugbu a dịka m si nye
unu ahịhịa ndụ niile.
[4] "Ma unu agaghị eri anụ ọbụla nke ọbara ndụ ya dị ya n'ahụ. [5] Ma gbasara ọbara
ndụ unu, unu ga-asara ọnụ unu n'ihu m. Anụmanụ ọbụla ga-asara ọnụ ya n'ihu m.
Mmadụ ọbụla kwa ga-asara ọnụ ya n'ihu m banyere ndụ mmadụ ibe ya.
[6] "Onye ọbụla wufuru ọbara mmadụ,
n'aka mmadụ ka a ga-awụfu ọbara nke ya,
n'ihi n'oyiyi Chineke
ka Chineke mere mmadụ.
[7] Ma unu onwe unu, mịanụ mkpụrụ, mụbaanụ, jupụtanụ ụwa, baakwanụ ụba n'ime
ya."
[8] Chineke gwara Noa na ụmụ ya sị, [9] "Ugbu a, ana m ehiwe ọgbụgba ndụ n'etiti
mụ na unu, na n'etiti agbụrụ unu ndị ga-anọchi unu, [10] na n'etiti ihe niile nwere ndụ
nke unu na ha so, ụmụ anụ ufe, na ụmụ anụ ụlọ, na ụmụ anụ ọhịa niile, ndị ahụ
niile so unu si n'ụgbọ mmiri pụta, bụ ihe niile nwere ndụ n'ụwa. [11] Ebe ọ bụ na
m ehiwela ọgbụgba ndụ m n'etiti mụ na unu, ọ gaghị emekwa ọzọ na a ga-eji uju
mmiri kpochapụ ihe niile e kere eke, ọ gaghị emekwa ọzọ na a ga-eji uju mmiri bibie
ụwa."

* **8:20** 8:20 Aja mbụ a chụrụ n'Akwụkwọ Nsọ nye Onyenwe anyị bụ aja nsure ọkụ Noa chụrụ, mgbe o ji anụmanụ a na-ewepụghị ihe ọbụla n'ahụ ya chụọ aja.

12 Chineke kwuru sị, “Nke a bụ ihe ama nke ọgbụgba ndụ nke m na-etinye n’etiti
mụ na unu, na n’etiti ihe niile nwere ndụ so unu, ọgbụgba ndụ nke ga-adị nye ọgbọ
niile na-abịa n’ihu. 13 Etinyela m eke na egwurugwu m na mbara eluigwe, ka ọ bụrụ
ihe ama nke ọgbụgba ndụ dị n’etiti mụ na ụwa. 14 Mgbe ọbụla m zitere igwe ojii
n’ụwa, ọ bụrụ na eke na egwurugwu apụta ìhè na mbara eluigwe, 15 aga m echeta
ọgbụgba ndụ m mere ka ọ dịrị n’etiti mụ na unu, na n’etiti mụ na ihe niile nwere
ndụ site n’ihe niile e kere eke. Ọ gaghị emekwa ọzọ na mmiri ga-aghọ uju mmiri ibibi
ihe niile nwere ndụ. 16 Mgbe ọbụla eke na egwurugwu pụtara n’igwe ojii, aga m ahụ
ya cheta ọgbụgba ndụ ebighị ebi nke dị n’etiti Chineke na ihe niile nwere ndụ site
n’ihe niile e kere eke nọ n’elu ụwa.”
17 Chineke gwara Noa sị, “Nke a bụ ihe ama ọgbụgba ndụ ahụ m hiwere n’etiti mụ
na ihe niile nwere ndụ n’ụwa.”

### *Ụmụ ndị ikom Noa*

18 Ụmụ ndị ikom Noa ndị si n’ụgbọ mmiri pụta bụ Shem, Ham na Jafet. (Ham bụ
nna Kenan.) 19 Ndị a bụ ụmụ ndị ikom atọ Noa mụrụ. Ọ bụ site na ha ka ndị mmadụ
niile gbasara n’ụwa niile si pụta.
20 Noa, onye ọrụ ubi, bidoro ịkụ ubi vaịnị a gbara ogige. 21 Mgbe ọ ṅụrụ mmanya
si n’ubi a, ṅụbiga ya oke, ọ gbaara ọtọ dinaa ala n’ime ụlọ ikwu ya. 22 Ham, nna
Kenan, hụrụ ọtọ nna ya, gaa kọọrọ ụmụnne ya abụọ nọ n’ezi ihe ọ hụrụ. 23 Ma Shem
na Jafet weere akwa tụkwasị n’ubu ha, were azụ jere ije ruo n’ebe nna ha nọ, hapụ
akwa ahụ ka ọ dakwasị nna ha kpuchikwaa ọtọ ya. Ma ha chepuru ihu n’ebe ọzọ
mgbe ha na-eme nke a, n’ihi ya, ha elekwasịghị ọtọ nna ha anya.
24 Mgbe Noa si n’ụra mmanya ya bilie, chọpụta ihe nwa ya nwoke nke nta mere,
25 o kwuru sị,
“Onye a bụrụ ọnụ ka Kenan bụ!
Ohu ndị ohu,
ka ọ ga-abụrụ ụmụnne ya.”
26 Ọ sịkwara,
“Ngọzị dịrị ONYENWE ANYỊ Chineke Shem.
Ka Kenan bụrụ ohu Shem.
27 Ka Chineke mee ka ebe obibi Jafet saa mbara,
ka Jafet biri n’ụlọ ikwu Shem,
meekwa ka Kenan bụrụ ohu ya.”
28 Mgbe uju mmiri ahụ gabigachara, Noa biri ndụ narị afọ atọ na iri afọ ise ọzọ.
29 Ọnụọgụgụ afọ Noa niile mgbe ọ nwụrụ, bụ narị afọ itoolu na iri afọ ise.

## **10**

### *Usoro ọmụmụ ụmụ Noa*

1 Ndị a bụ akụkọ banyere Shem, Ham na Jafet, ụmụ ndị ikom atọ Noa mụrụ.
Ha onwe ha mụtara ụmụ nke aka ha, mgbe uju mmiri gafesịrị.

### *Ụmụ Jafet*

2 Ụmụ ndị ikom Jafet bụ:
Goma, Magog, Madai, Javan, Tubal, Meshek na Tiras.
3 Ụmụ ndị ikom Goma bụ:
Ashkenaz, Rifat na Togama.
4 Ụmụ ndị ikom Javan bụ:
Elisha, Tashish, Kitim na Rodanim. 5 (Site n’agbụrụ ndị a bi n’akụkụ mmiri ka e
nwetara mba dị iche iche, n’agbụrụ ha n’ime obodo ha dị iche iche, ndị ọbụla
n’ime ha nwekwara asụsụ nke ha.)

*Ụmụ Ham*

6 Ụmụ ndị ikom Ham bụ:
Kush,* Ijipt, Put na Kenan.
7 Ụmụ ndị ikom Kush† bụ:
Seba, Havila, Sabta, Raama na Sabteka.
Ụmụ ndị ikom Raama bụ:
Sheba na Dedan.
8 Kush bụ nna Nimrọd, onye mesịrị bụrụ dike n'agha n'ụwa. 9 Ọ bụ dike
n'ịchụ nta, n'ihu ONYENWE ANYỊ. Ọ bụ nke a mere e ji na-ekwu okwu na-
asị, "Ị dị ka Nimrọd, dike n'ịchụ nta, n'ihu ONYENWE ANYỊ." 10 Obodo ndị
bụ mmalite alaeze ya bụ, Babel,‡ Erek, Akad na Kalne, ndị dị n'ala Shaịna.§
11 Site n'ala ahụ ọ gara Asịrịa, ebe o wuru obodo Ninive na Rehobọt Ia, na
Kala, 12 na Resin, nke dị n'etiti Ninive na Kala, ya bụ obodo ukwu ahụ.
13 Ijipt bụ nna ndị
Lud, ndị Anam, ndị Lehab, ndị Naftuh, 14 ndị Patrus, ndị Kasluh (onye ndị Filistia*
sitere na ya) na ndị Kafto.
15 Kenan bụ nna
Saịdọn, ọkpara ya, na ndị Het, 16 ndị Jebus, ndị Amọrait, ndị Gigash, 17 ndị Hiv,
ndị Aka, ndị Sini, 18 ndị Avad, ndị Zema na ndị Hamat.
Emesịa, ndị ikwu Kenan gbasara, 19 oke ala ndị Kenan sitere na Saịdọn ruo Gera,
gbatịa ruo Gaza, ruokwa Sọdọm, Gọmọra, Adma na Zeboiim, nke dị nso Lasha.
20 Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Ham, dịka ikwu ha na asụsụ ha si dị, n'oke ala
ebe ha bi, na obodo ha dị iche iche.

*Ụmụ Shem*

21 A mụụrụ Shem ụmụ ndị ikom, onye nwanne nwoke nke tọrọ ya bụ Jafet.
Ọ bụkwa nna nna ochie ụmụ ndị ikom niile Eba mụtara.
22 Ụmụ ndị ikom Shem bụ
Elam,† Ashua, Apakshad, Lud na Aram.
23 Ụmụ ndị ikom Aram bụ,
Uz, Hul, Geta na Meshek.
24 Apakshad bụ nna Shela,
Shela bụrụ nna Eba.
25 Eba mụtara ụmụ ndị ikom abụọ:
Aha otu n'ime ha bụ Peleg, n'ihi na ọ bụ n'oge ndụ ya ka e kewara ụwa. Aha
nwanne ya nwoke bụ Joktan.
26 Joktan bụ nna
Almodad, Shelef, Hazamavet, Jera, 27 Hadoram, Ụzal, Dikla, 28 Obal, Abimael,
Sheba, 29 Ọfịa, Havila na Jobab. Ndị a niile bụ ụmụ ndị ikom Joktan.
30 Akụkụ ala ha bi gbasapụrụ site na Mesha ruo Sefa n'ala ugwu ugwu nke ọwụwa
anyanwụ.
31 Ndị a niile bụ ụmụ ndị ikom Shem, dịka ikwu ha na asụsụ ha si dị, n'oke
ala ebe ha dị, na obodo ha dị iche iche.

---

* **10:6** 10:6 Kush na-ekwu banyere ala dị n'ugwu ugwu Naịl, n'ala Itiopia, nakwa ala Sụdan. Mizraim bụ maka ndị Ijipt, ebe Put na-ekwu banyere ndị Libiya, maọbụ ndị bi gburugburu ala Sọmalia. † **10:7** 10:7 Ọ bụ n'ime ala Arab ka mba asaa ndị Kush dị. ‡ **10:10** 10:10 Maọbụ, Babilọn § **10:10** 10:10 Shaịna bụ ala Babilọn ochie.
* **10:14** 10:14 Ndị Filistia bụ mba si n'agbụrụ (agwara ụgwa) abụọ, otu agbụrụ sitere n'Eshịa, ebe nke ọzọ bụ agbụrụ ndị Ọcha. Njem mbụ ha duuru ha gaa ala Kriit, ebe ha gara biri. Jer 47:4; Ems 9:7 Emesịa, ha busoro ndị Ijipt agha na senchuri nke iri na atọ, ma bichie ala ha. Mgbe e sitere n'ala Ijipt chụpụ ha, ha gara biri n'akụkụ ọnụ mmiri ala Kenan. † **10:22** 10:22 Aha ochie e ji mara Asịrịa.

32 Ndị a bụ ndị ikwu ụmụ Noa ndị ikom dịka usoro ọmụmụ ha si dị, dịka ha
si biri na mba dị iche iche. Ọ bụ site na ndị a ka mba niile si gbasasịa ruo
akụkụ niile nke ụwa mgbe uju mmiri ahụ gafechara.

# 11

### *Ụlọ elu Babel*

1 N’oge ahụ, ụwa niile nwere naanị otu asụsụ, okwu niile bụkwa otu. 2 Mgbe ndị
mmadụ gbasara n’akụkụ ọwụwa anyanwụ ha chọtara ala dị larịị na Shaịna biri n’ebe
ahụ.
3 Ha gwarịtara onwe ha okwu sị, “Bịanụ ka anyị kpụọ brik,[*] kpọọ ha ọkụ nke
ọma.” Ya mere, ha kpụrụ brik kama nkume, jirikwa bitumen kama ụrọ. 4 Mgbe ahụ,
ha kwuru sị, “Bịanụ ka anyị wuore onwe anyị obodo na ụlọ elu, nke elu ya ga-eru
n’eluigwe, ka anyị si otu a meere onwe anyị aha, ka anyị ghara ịbụ ndị a ga-agbasa
n’ụwa niile.”
5 ONYENWE ANYỊ rịdatara hụ obodo ahụ na ụlọ elu ahụ ndị mmadụ na-ewu.
6 ONYENWE ANYỊ sịrị, “Lee! Ọ bụrụ na ha malitere ime ihe dị otu a, ugbu a ha bụ
otu ndị, nweekwa otu asụsụ, o nweghị ihe ha zubere ime nke ha na-apụghị ime.
7 Ngwa, ka anyị rịda gaa gbarụọ asụsụ ha, ka onye o bụla ghara ịghọta asụsụ ibe
ya.”
8 ONYENWE ANYỊ mere ka ha gbasaa n’elu ụwa niile. Ha kwụsịkwara iwu obodo
ahụ. 9 Ọ bụkwa nke a mere e ji kpọọ obodo ahụ Babel[†] n’ihi na ọ bụ n’ebe ahụ ka
ONYENWE ANYỊ wetara ọgbaaghara n’asụsụ ndị niile bi n’ụwa. Ọ bụkwa n’ebe ahụ
ka ONYENWE ANYỊ si gbasasịa ha n’elu ụwa dum.

### *Site na Shem ruo Ebram*

10 Nke a bụ akụkọ banyere usoro ezinaụlọ Shem.

Mgbe afọ abụọ gafechara site n’oge uju mmiri ahụ, n’oge Shem gbara narị afọ, ọ
mụtara Apakshad. 11 Shem dịrị ndụ, mgbe ọ mụsịrị Apakshad, narị afọ ise ọzọ,
mụtakwa ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom.
12 Mgbe Apakshad gbara iri afọ atọ na ise, ọ mụtara Shela. 13 Mgbe ọ mụchara
Shela, ọ dịrị ndụ narị afọ anọ na atọ ọzọ, mụta ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom.
14 Shela gbara iri afọ atọ mgbe ọ mụrụ nwa ya nwoke Eba. 15 Mgbe ọ ghọrọ nna
Eba, ọ dịrị ndụ narị afọ anọ na atọ, mụta ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom.
16 Eba gbara iri afọ atọ na anọ mgbe ọ mụrụ Peleg. 17 Mgbe ọ ghọrọ nna Peleg, ọ
dịrị ndụ narị afọ anọ na iri atọ ọzọ mụta ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom.
18 Peleg gbara iri afọ atọ mgbe ọ mụrụ Reu. 19 Emesịa, mgbe ọ ghọrọ nna Reu, ọ
dịrị ndụ narị afọ abụọ na itoolu ọzọ mụta ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom.
20 Reu gbara iri afọ atọ na abụọ mgbe ọ mụrụ Serug. 21 Emesịa, ọ dịrị ndụ narị afọ
abụọ na asaa ọzọ, mgbe ọ mụsịrị Serug, ọ mụtakwara ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị
inyom.
22 Serug gbara iri afọ atọ mgbe ọ mụrụ Nahọ. 23 Emesịa, mgbe ọ ghọrọ nna Nahọ,
ọ dịrị ndụ narị afọ abụọ ọzọ mụta ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom.
24 Nahọ gbara iri afọ abụọ na itoolu mgbe ọ mụrụ Tera. 25 Emesịa, mgbe ọ ghọrọ
nna Tera, ọ dịrị ndụ narị afọ na afọ iri na itoolu ọzọ, mụta ụmụ ndị ikom na ụmụ
ndị inyom.
26 Mgbe Tera gbara iri afọ asaa, ọ ghọrọ nna Ebram, Nahọ na Haran.

### *Ezinaụlọ Ebram*

27 Nke a bụ akụkọ gbasara usoro ezinaụlọ Tera.

---

[*] **11:3** 11:3 Maọbụ, Aja ụrọ [†] **11:9** 11:9 Babel ya bụ Babilọn pụtara ọgbaaghara n’asụsụ Hibru.

Tera ghọrọ nna Ebram, Nahọ na Haran. Haran ghọrọ nna Lọt. 28 Haran nwụrụ
n'ihu nna ya Tera n'ala ebe a nọ mụọ ya, nke bụ na Ụọ, obodo ndị Kaldịa. 29 Ebram
na Nahọ lụrụ nwunye. Aha nwunye Ebram bụ Serai ma aha nwunye Nahọ bụ Milka.
Milka bụ nwa Haran, onye bụ nna Milka na Iska. 30 Ma Serai bụ nwanyị aga, ọ
mụtaghị nwa ọbụla.
31 Tera kpọrọ nwa ya Ebram, na nwa nwa ya Lọt, onye bụ nwa Haran,‡ na nwunye
nwa ya Serai, bụ nwunye Ebram, duru ha hapụ Ụọ, obodo ndị Kaldịa, pụọ gawa n'ala
Kenan. Ma mgbe ha bịarutere n'obodo Haran, ha kwụsịrị biri n'ebe ahụ.
32 Ọ bụ n'obodo Haran ka Tera nọ nwụọ, mgbe ọ gbara narị afọ abụọ na ise.

# 12

*Ọkpụkpọ Ebram*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Ebram okwu sị, "Site n'obodo gị, sikwa na ụmụnna gị na
ezinaụlọ nna gị, gaa n'ala m ga-egosi gị.
2 "Aga m eme gị mba ukwu,
aga m agọzi gị,
aga m eme ka aha gị dị ukwuu,
ị ga-abụ ngọzị.
3 Aga m agọzi ndị na-agọzi gị,
ma onye ọbụla kọchara gị ka m ga-akọcha;
a ga-agọzikwa agbụrụ niile nọ n'ụwa
site na gị."
4 Ya mere, Ebram hapụrụ gaa dịka ONYENWE ANYỊ gwara ya. Lọt sokwa ya. Ebram
agbaala iri afọ asaa na ise mgbe o si na Haran bulie ije. 5 O duru nwunye ya Serai na
Lọt nwa nwanne ya, chịkọtakwa akụ niile ha kpakọbara, na ndị ohu niile ha nwetara
n'ala Haran, chee ihu ịga n'ala Kenan. Emesịa ha rutere n'ebe ahụ.
6 Ebram jere ije n'ime ala Kenan jeruo n'ebe osisi ukwu More, nke dị n'obodo
Shekem. Ndị Kenan bi n'ala ahụ n'oge ahụ. 7 ONYENWE ANYỊ mere ka Ebram hụ ya
anya, ọ sịrị, "Aga m enye mkpụrụ gị ala a." Ya mere, Ebram wuru ebe ịchụ aja n'ebe
ahụ nye ONYENWE ANYỊ onye gosiri ya onwe ya.
8 Emesịa, Ebram hapụrụ ebe ahụ chee ihu n'ala ugwu dị n'ọwụwa anyanwụ Betel,
maa ụlọ ikwu ya. Obodo Betel dị n'akụkụ ọdịda anyanwụ, ma obodo Ai dị n'akụkụ
ọwụwa anyanwụ ebe ọ mara ụlọ ikwu ya. N'ebe nsọ ahụ Ebram wuru ebe ịchụ aja,
nọrọ n'ebe ahụ kpọkuo aha ONYENWE ANYỊ.
9 Ọzọ, Ebram si n'ebe ahụ pụọ gaa ije rute Negev.*

*Ebram ejee Ijipt*

10 N'oge ahụ, oke ụnwụ dara n'ala ahụ.† N'ihi ya, Ebram hapụrụ ala ahụ gaa n'ala‡
Ijipt, ebe o biri nwa oge. 11 Ma mgbe ha na-akwado ịbanye ala Ijipt, ọ gwara Serai
nwunye ya sị, "Amaara m na ị bụ nwanyị mara mma. 12 Mgbe ndị Ijipt ga-ahụ gị, ha
ga-asị, 'Onye a bụ nwunye ya.' Mgbe ahụ, ha ga-egbu m ma hapụ gị ndụ. 13 Gwa ha
na ị bụ nwanne m nwanyị, ka ha meso m mmeso ọma n'ihi gị. Ha ga-echebekwa m
ndụ n'ihi gị."
14 Mgbe Ebram rutere Ijipt, ndị Ijipt hụrụ na nwunye ya bụ nwanyị mara mma.
15 Mgbe ndị ozi Fero hụrụ ya, ha toro ya n'ihu Fero. N'ihi nke a, ha kpọbatara Serai
n'ụlọeze Fero. 16 Fero mesoro Ebram mmeso ọma n'ihi nwunye ya. Ebram nwetara

‡ **11:31** 11:31 Haran bụ aha mmadụ, bụrụkwa aha obodo dị n'ala Mesopotamịa. Obodo e ji ife ọnwa mara, dị ka a makwaara obodo Ụọ. * **12:9** 12:9 Ihe aha a pụtara bụ "ala kpọrọ nkụ." Nke a bụ n'ihi ala ahụ tọgbọrọ n'efu, gbatịa gbadaa ndịda Jerusalem, n'ụzọ ọzara. † **12:10** 12:10 Jen 26:1; 41:56 ‡ **12:10** 12:10 N'oge a, ụkọ mmiri ozuzo e metụtabeghị ihe ubi n'ala Ijipt, n'ihi na ha na-esite na iyi ha rụrụ na-agba ubi ha mmiri.

igwe atụrụ, na ehi, na nne ịnyịnya ibu, oke na nwunye, na ndị ohu ndị nwoke na ndị
nwanyị, na ịnyịnya kamel.
17 Ma Onyenwe anyị jiri ajọọ ọrịa tie Fero na ndị ezinaụlọ ya ihe otiti n'ihi Serai
nwunye Ebram. 18 Mgbe ahụ, Fero kpọrọ Ebram sị ya, "Gịnị bụ ihe a i mere? Gịnị
mere ị gwaghị m na ọ bụ nwunye gị? 19 Gịnị mere i ji sị na ọ bụ nwanne gị nwanyị,
si otu a mee m ka m kpọrọ ya ka ọ bụrụ nwunye m? Ugbu a, lee nwunye gị, kpọrọ
ya laa." 20 Fero nyere iwu banyere Ebram na ndị ikom so ya. Ha zilagara ya, ya na
nwunye ya, na ihe niile o nwere.

# 13

*Nkewa Ebram na Lọt*

1 Ebram na nwunye, na ihe niile ha nwere hapụrụ ala Ijipt, gaa ije bịaruo Negev.
Lọt sokwa ha. 2 N'oge a, Ebram aghọọla ọgaranya dị ukwuu, onye nwere akụnụba
nke ọtụtụ anụ ụlọ, na ọlaọcha, na ọlaedo.
3 Ha sitere na Negev pụọ ije site n'otu ebe ruo n'ebe ọzọ tutu ha erute Betel, n'ebe
dị n'etiti Betel na Ai, ebe ọ mara ụlọ ikwu ya na mbụ. 4 N'ebe nsọ o wukwara ebe
ịchụ aja na mbụ, n'ebe ahụ Ebram kpọkuru aha Onyenwe anyị.
5 Ugbu a Lọt, onye ya na Ebram so na njem ya, bụkwa onye nwere akụnụba nke
igwe ewu na atụrụ, na igwe ehi, na ọtụtụ ụlọ ikwu. 6 Ma ala ebe ha nọ ezurughị
ha mgbe ha nọkọrọ ọnụ n'ihi na ihe onwunwe ha dị ukwuu ruo na ha enweghị ike
ịnọkọ ọnụ. 7 Nke a mere esemokwu ji dapụta n'etiti ndị ọzụzụ anụ ụlọ Ebram na ndị
ọzụzụ anụ ụlọ Lọt. Ndị Kenan na ndị Periz bikwa n'ala ahụ n'oge ahụ.
8 Ya mere Ebram gwara Lọt sị, "Biko, ka esemokwu ghara ịdị n'etiti mụ na gị, maọbụ
n'etiti ndị ọzụzụ anụ ụlọ m na ndị ọzụzụ anụ ụlọ gị, n'ihi na anyị bụ ụmụnne. 9 Lee,
ọ bụ na ala a niile adịghị n'ihu gị? Ka anyị kewaa. Ọ bụrụ na ị gaa n'akụkụ aka
ekpe, aga m aga n'akụkụ aka nri. Ma ọ bụrụ na i gaa n'akụkụ aka nri gị, aga m aga
n'akụkụ aka ekpe."
10 Lọt lelitere anya hụ na mbara ala Jọdan bụ ala mmiri na-ezokwasị nke ọma, ala
dịka ubi a gbara ogige Onyenwe anyị, dịka ala ndị Ijipt nke dị na nso nso Zoa. (Ihe
a mere tupu Onyenwe anyị ebibie obodo Sọdọm na Gọmọra.) 11 Ya mere, Lọt họọrọ
nye onwe ya mbara ala Jọdan niile, chee ihu ịga n'akụkụ ọwụwa anyanwụ. Ya na
Ebram kewara. 12 Ebram nọdụrụ n'ala Kenan, ma Lọt gara biri n'etiti obodo ndị ahụ
dị na mbara ala. Ọ mara ụlọ ikwu ya nso nso obodo Sọdọm. 13 Ma ndị Sọdọm bụ ndị
obi tara mmiri, ndị na-emehie nke ukwuu megide Onyenwe anyị.
14 Mgbe Lọt siri n'ebe ahụ pụọ, Onyenwe anyị gwara Ebram okwu sị ya, "Site
n'ebe ahụ ị nọ lelie anya gị, lee anya n'ugwu na ndịda, n'ọwụwa anyanwụ na ọdịda
anyanwụ. 15 Ala ahụ niile ị hụrụ ka m ga-enye gị na mkpụrụ gị ruo mgbe ebighị
ebi. 16 Aga m eme ka mkpụrụ gị baa ụba dịka aja dị n'ala. Ọ bụrụ na mmadụ enwe
ike ịgụta ọnụọgụgụ aja dị n'ala, ha ga-enwe ike gụta ọnụọgụgụ mkpụrụ gị. 17 Bilie
jegharịa n'ala ahụ niile n'akụkụ ya ọbụla, n'ihi na ana m enye gị ha niile."
18 Ya mere, Ebram bugharịrị ụlọ ikwu ya, gaa biri n'akụkụ osisi ukwu Mamre nke
dị na Hebrọn. O wuru ebe ịchụ aja nye Onyenwe anyị n'ebe ahụ.

# 14

*Ebram anapụta Lọt*

1 N'oge ahụ kwa, Amrafel, eze Shaịna, na Ariok, eze ndị Elasa, na Kedoloma eze
Elam, na Tidal eze Goiim, 2 buru agha megide Bera eze Sọdọm, na Biasha eze Gọmọra,
na Shịnab, eze Adma, na Shemeba eze Zeboiim, na eze obodo Bela (ya bụ Zoa). 3 Ndị
eze obodo ndị a: Sọdọm, Gọmọra, Adma, Zeboiim na Bela, jikọtara ndị agha ha ọnụ

na Ndagwurugwu Sidim (ya bụ, ndagwurugwu osimiri nnu ahụ). 4 Ha fere ofufe
n’okpuru ọchịchị eze Kedoloma afọ iri na abụọ, ma n’afọ nke iri na atọ, ha nupuru
isi.
5 N’afọ nke iri na anọ, eze Kedoloma na ndị eze ya na ha jikọrọ ọnụ buru agha
megide ma merie ndị Refaim* bi n’Ashterọt Kenaim na ndị Zuzim bi na Ham na ndị
Emim bi Kiriatem na Shave, 6 na ndị Hor n’obodo ugwu Sia, ruo obodo El Paran, nke
dị n’akụkụ ọzara. 7 Mgbe ahụ, ha chighariri azụ gaa En Mishpat (ya bụ Kadesh). Ha
meriri ala niile nke ndị Amalek nakwa ndị Amọrait bi na Hazezọn Tama.
8 Mgbe ahụ kwa, ndị agha ndị eze obodo Sọdọm na eze Gọmọra, na eze Adma,
na eze Zeboiim, na eze Bela (ya bụ Zoa) pụrụ doo onwe ha n’usoro ibu agha
na Ndagwurugwu Sidim, 9 imegide Kedoloma eze Elam, Tidal eze Goiim, Amrafel
eze Shaịna na Ariok eze Elasa. Ya bụ eze ise buru agha megide eze anọ. 10 Ma
Ndagwurugwu Sidim jupụtara n’olulu apịtị. Mgbe ndị agha eze Sọdọm na Gọmọra
bidoro ịgba ọsọ. Ụfọdụ n’ime ha dabanyere n’ime olulu ndị a, ma ndị fọdụrụ gbapụrụ
ọsọ gbaga n’ugwu. 11 Ma eze anọ ndị a banyere n’ime obodo Sọdọm na Gọmọra
bukọrọ akụ ha, na ihe oriri ha niile laa. 12 Ha buuru Lọt, nwa nwanne Ebram, onye
bi na Sọdọm na ihe niile o nwere, buru ha na-ala ebe ha si bịa.
13 Ma otu onye gbara ọsọ ndụ site n’ebe ahụ gara kọọrọ Ebram onye Hibru ihe
mere. N’oge a, Ebram bi n’ebe dị nso n’osisi ukwu nke Mamre, onye Amọrị, nwanne
Eshkọl na Anea, ndị ha na Ebram gbara ndụ. 14 Mgbe Ebram nụrụ na adọrọla Lọt
nwa nwanne ya n’agha, ọ kpọkọtara ndị ikom a zụrụ azụ na-ejere ya ozi, ndị a mụrụ
n’ụlọ ya. Ọnụọgụgụ ha dị narị ndị ikom atọ na iri na asatọ, ha chụrụ ndị agha ahụ
ọsọ tutu ha erute Dan. 15 N’abalị, Ebram kere ndị agha ya ibuso ndị ahụ agha. O
meriri ha, chụọ ha ọsọ, chụruo ha Hoba, nke dị n’akụkụ ugwu Damaskọs. 16 Ebram
nwetaghachiri ihe niile ahụ ha dọtara n’agha, dulata nwanne ya Lọt, na ihe onwunwe
ya niile, tinyere ndị inyom, na ndị ọzọ niile a dọtara n’agha.

### *Melkizedek agọzie Ebram*

17 Mgbe Ebram si na mmeri ahụ o meriri Kedoloma na eze ndị ọzọ ahụ na-alọta,
eze Sọdọm bịara zute ya na Ndagwurugwu Shave (nke a na-akpọ Ndagwurugwu Eze).
18 Melkizedek, eze† Salem, onye nchụaja Chineke nke kachasị ihe niile elu,
wepụtara achịcha na mmanya, 19 ọ gọziri Ebram sị ya,
“Ngọzị dịrị Ebram site n’aka Chineke nke kachasị ihe niile elu,
Onye kere eluigwe na ụwa.
20 Ngọzị dịkwara Chineke nke kachasị ihe niile elu,
onye weere ndị iro gị nyefee gị n’aka.”
Mgbe ahụ, Ebram nyere ya otu ụzọ n’ime ụzọ iri nke ihe niile.
21 Eze Sọdọm gwara Ebram sị, “Nyeghachi m naanị ndị mmadụ, ma debere onwe
gị ihe ndị ọzọ.”
22 Ma Ebram zara eze Sọdọm sị, “Eweliri m aka m elu ṅụọ iyi nye Onyenwe anyị
Chineke nke kachasị ihe niile elu, Onye kere eluigwe na ụwa, sị 23 na agaghị m esi
n’aka gị were ihe ọbụla bụ nke gị, ọ bụladị eriri maọbụ eriri akpụkpọụkwụ. Ka ị
ghara ị sị, ‘Ọ bụ m mere ka Ebram baa ọgaranya.’ 24 Naanị ihe m ga-anara bụ ihe
ụmụ okorobịa m ndị a riri, ya na oke ruuru Anea, na Eshkọl, na Mamre so m gaa.
Nye ha oke ruuru ha.”

## 15

### *Ọgbụgba Ndụ Chineke na Ebram*

* **14:5** 14:5 Refaim Aha a Refaim pụtara ndị ọ gbaa dimkpa Jen 15:20 † **14:18** 14:18 Salem Eleghị anya, nke bụ aha ochie e ji mara obodo Jerusalem.

1 Mgbe nke a gasịrị, okwu ONYENWE ANYỊ ruru Ebram site n’ọhụ, sị ya,
“Atụla egwu, Ebram
Abụ m ọta gị,
ụgwọ ọrụ dị ukwu nke i nwere.”
2 Ma Ebram zara sị ya, “Gị, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ, gịnị bụ
ihe ị ga-enye m ebe ọ bụ na m amụtaghị nwa? Lee, ọ bụ Elieza, onye Damaskọs,
ga-eketa akụ m niile.” 3 Ebram gara n’ihu kwuo sị, “Ebe ọ bụ na m amụtaghị ụmụ,
ọ bụ ohu nọ n’ụlọ m ga-eketa akụ m.”
4 Ma okwu ONYENWE ANYỊ rutere ya, “Nwoke a agaghị eketa ihe i nwere, kama nwa
nwoke nke ga-esi n’ahụ gị pụta ga-eketa ihe i nwere.” 5 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ
kpọpụtara Ebram n’ezi sị ya, “Lelie anya gị elu na mbara eluigwe, gụọ kpakpando
niile ị hụrụ ọnụ, ma ị ga-enwe ike ịgụta ha.” Ọ gwara ya sị, “Otu a ka mkpụrụ gị
ga-adị. A gaghị agụta ha ọnụ.”
6 Ebram kweere n’ihe ONYENWE ANYỊ kwuru. N’ihi nke a, a gụnyere ya okwukwe a
dịka ezi omume.
7 ONYENWE ANYỊ gwakwara ya sị, “Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, onye si n’ala Ụọ
nke ndị Kaldịa kpọpụta gị, inye gị ala a ka ọ bụrụ ihe nweta gị.”
8 Ma Ebram zara sị, “Biko, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ olee otu m
ga-esi mara na m ga-enweta ya?”
9 ONYENWE ANYỊ zara sị ya, “Wetara m nwa nne ehi gbara afọ atọ, na nne ewu gbara
afọ atọ, na ebule gbara afọ atọ, na nduru, na nwa kpalakwukwu.”
10 Ebram wetaara ya ihe ndị a niile bọwaa ha ụzọ abụọ, doo ha n’usoro ka otu
akụkụ chee akụkụ nke ọzọ ihu. Ma ọ bọwaghị ụmụ nnụnụ ndị ahụ.* 11 Mgbe anụ
ufe fekwasịrị ozu anụ ndị ahụ, Ebram chụpụrụ ha.
12 Mgbe anwụ bidoro ịda, Ebram dara n’oke ụra, oke ụjọ na oke ọchịchịrị dakwasịrị
ya. 13 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara ya sị, “Mata nke ọma na ụmụ ụmụ gị ga-anọ
dịka ndị ọbịa n’ala na-abụghị nke ha. A ga-edo ha ọnọdụ dịka ndị ohu, mejọọ ha
narị afọ anọ. 14 Ma aga m ata mba ahụ ha na-efe dịka ohu ahụhụ. N’ikpeazụ, ha
ga-eji ọtụtụ akụ si n’ebe ahụ pụta. 15 Ma ị ga-anwụ n’udo. A ga-eli gị mgbe ị kara ezi
nka. 16 Mgbe ọgbọ anọ gasịrị, ụmụ ụmụ gị ga-alọtakwa n’ala a. N’ihi na mmehie ndị
Amọrait erubeghị n’uju ya.”
17 Mgbe anwụ dara, mgbe ọchịchịrị gbachiri ebe niile, ite ọkụ na-akwụ anwụrụ
ọkụ nke nwere ọwa na-enwu ọkụ si n’etiti ibe anụ ndị ahụ gafee. 18 N’ụbọchị ahụ
ka ONYENWE ANYỊ na Ebram gbara ndụ. Ọ sị, “Ndị agbụrụ gị ka m ga-enye ala ndị
a, malite n’iyi ndị Ijipt ruo n’iyi ukwu Yufretis. 19 Ala ndị Ken, na nke ndị Keniz, na
nke ndị Kadmọn, 20 na ala ndị Het, na nke ndị Periz na nke ndị Refaim, 21 na ala ndị
Amọrait na nke ndị Kenan na nke ndị Gigash na nke ndị Jebus.”

# 16

*Hega na Ishmel*

1 Ma Serai nwunye Ebram, amụtaghị nwa. Serai nwere odibo nwanyị onye Ijipt,
aha ya bụ Hega. 2 Ya mere ọ gwara Ebram sị, “Lee, ugbu a, ONYENWE ANYỊ egbochiela
m ịmụta ụmụ.* Ugbu a, bakwuru nwanyị na-ejere m ozi. Ma eleghị anya, aga m esi
na ya wulite ezinaụlọ m.”

* **15:10** 15:10 N’ọgbụgba ndụ niile a na-eji anụmanụ a chụọ aja. Ndị ahụ gbara ndụ na-esi n’etiti anụ ndị ahụ a kpọwara ọkara abụọ gafee, maka imesi ọgbụgba ndụ dị otu a ike. Jen 15:17; Jer 34:18

* **16:2** 16:2 Amụtaghị nwa bụ ihe ndị mmadụ na-ahụta dị ka ntaramahụhụ si n’aka Chineke. Ọ bụrụ na nwanyị amụtaghị nwa, n’ebe ụfọdụ, omenaala na-akwado ya ị họtara di ya nwanyị ọzọ, onye ga-amụrụ ya ụmụ. Ụmụ niile nwanyị ahụ ga-amụta na-abụ nke nwanyị ahụ na-amụtaghị nwa. Jen 20:18; 30:3

Ebram kweere ihe Serai kwuru. 3 Ya mere Serai nwunye Ebram, duuru Hega, odibo
nwanyị ya, onye Ijipt, dunye Ebram ka ọ bụrụ nwunye ya. Ihe a mere na ngwụcha
afọ iri site na mgbe Ebram bịara biri n'ala Kenan. 4 Ebram na Hega dinara. Hega
tụụrụ ime.

Ma mgbe Hega matara na ọ dịrịla ime, ọ malitere ileda nne ya ukwu bụ Serai anya.
5 Mgbe ahụ, Serai gwara Ebram sị, "Ọ bụ gị butere ahụhụ a m nọ n'ime ya. Ọ bụ m
were nwaodibo nwanyị m kunye gị n'aka, ma ugbu a ọ hụrụ na ọ dị ime, abụrụla m
onye ọ na-eleda anya. Ka Onyenwe anyị kpee ikpe a n'etiti mụ na gị."

6 Ebram zara Serai sị, "Lee, ohu gị nwanyị dị gị n'aka. Jiri ya mee ihe ọbụla dị gị
mma n'anya." N'ihi nke a, Serai mesiri ya ihe ike, nke mere ka o si n'ebe Serai nọ
gbapụ.

7 Ma mmụọ ozi Onyenwe anyị hụrụ ya n'akụkụ isi iyi mmiri dị n'ọzara, n'akụkụ
ụzọ Shua, 8 jụọ ya sị, "Hega, ohu nwanyị Serai, olee ebe i si bịa, olee ebe ka ị na-
ejekwa?"

Hega zara sị, "Ọ bụ site n'ihu nne m ukwu Serai ka m na-agba ọsọ."

9 Mmụọ ozi Onyenwe anyị gwara ya sị, "Laghachikwuru nne gị ukwu. Doo onwe
gị n'okpuru ya." 10 Mmụọ ozi Onyenwe anyị sịkwa ya, "Aga m amụba ụmụ gị, ka a
hapụ inwe ike ịgụta ole ha dị."

11 Mmụọ ozi Onyenwe anyị gwakwara ya sị,

"Ị dị ime ugbu a,
    ị ga-amụ nwa nwoke.
Aha ị ga-agụ ya bụ Ishmel
    n'ihi na Onyenwe anyị anụla maka nhụju anya gị.
12 Nwoke dịka ịnyịnya ibu a na-azụghị azụ ka ọ ga-abụ.
    Ọ ga-emegide onye ọbụla,
    onye ọbụla ga-emegidekwa ya.
Ọ ga-ebi n'ime ibu iro,
    megide ụmụnna ya niile."

13 Hega kpọkuru aha Onyenwe anyị, onye gwara ya okwu sị, "Ị bụ Chineke m na-
ahụ m." N'ihi na Hega kwuru sị, "Ahụla m, ugbu a, onye ahụ na-ahụ m." 14 Ọ bụ ya
mere e ji na-akpọ olulu mmiri ahụ, Bịa-Lahai-Rọị.† Ọ ka dị ebe ahụ, n'etiti Kadesh
na Bered.

15 Emesịa, Hega mụtaara Ebram nwa nwoke. Ebram kpọrọ nwa nwoke ahụ Hega
mụtaara ya Ishmel. 16 Ebram gbara iri afọ asatọ na isii mgbe Hega mụtaara ya
Ishmel.

# 17

*Ọgbụgba ndụ nke obibi ugwu*

1 Mgbe Ebram gbara iri afọ itoolu na itoolu, Onyenwe anyị gosiri ya onwe ya sị
ya, "Abụ m Chineke Onye pụrụ ime ihe niile. Jegharịa ije n'ihu m, bụrụ onye na-
enweghị ịta ụta ọbụla. 2 Aga m eme ka ọgbụgba ndụ m dịrị n'etiti mụ na gị, mekwa
ka ị mụbaa nke ukwuu n'ọnụọgụgụ."

3 Ebram dara n'ala, kpudo ihu ya n'ala. Chineke gwara ya sị, 4 "Lee, nke a bụ
ọgbụgba ndụ dị n'etiti mụ na gị. Ị ga-abụ nna ọtụtụ mba. 5 Aha gị agaghị abụkwa
Ebram, kama ọ ga-abụ Ebraham, n'ihi na emeela m gị nna nke ọtụtụ mba. 6 Aga m
eme gị ka ị mụbaa nke ukwuu. Aga m eme ka ị ghọọ ọtụtụ mba dị iche iche, ndị
eze ga-esitekwa na gị pụta. 7 Aga m eme ka ọgbụgba ndụ mụ na gị gbara guzosie
ike, ka ọ dịkwara ụmụ ụmụ ndị ga-esote gị n'ọgbọ niile na-abịa. Ọ bụ ọgbụgba ndụ
na-egosi na m bụ Chineke gị, na Chineke ụmụ ụmụ gị niile ga-eso gị. 8 Ala Kenan

† **16:14** 16:14 Ma o bụ, Olulu Mmiri nke Onye ahụ dị ndụ na-ahụ m.

niile, ebe ị nọ ugbu a dịka ọbịa ka m ga-enye gị na ụmụ ụmụ gị ga-esote gị dịka ihe
nketa ebighị ebi. Aga m abụ Chineke ha."
9 Chineke gwara Ebraham okwu sị ya, "Ma n'ebe ị nọ, ị ghaghị irube isi imezu ihe
ọgbụgba ndụ m kwuru, gị onwe gị na ụmụ ụmụ gị ndị ga-esote gị, ruo ọgbọ niile.
10 Nke a bụ ọgbụgba ndụ dị n'etiti mụ na gị na ụmụ ụmụ gị ndị ga-esote gị, ọgbụgba
ndụ nke unu na-aghaghị idebe. A ga-ebi nwoke ọbụla n'etiti unu ugwu. 11 A ga-ebi
unu ugwu, bipụ elu ahụ nke anụ ahụ unu. Nke a ga-abụ ihe ama nke ọgbụgba ndụ
dị n'etiti mụ na unu. 12 N'oge ọ gbara mkpụrụ ụbọchị asatọ, unu ga-ebi nwoke ọbụla
n'agbụrụ unu ugwu: ndị a mụrụ n'ụlọ, maọbụ ndị eji ego zụta site n'aka ndị mba
ọzọ, ndị na-esighị na mkpụrụ nke afọ gị. 13 A ga-ebi ha niile ugwu. Ma a mụrụ ha
n'ezinaụlọ gị ma i ji ego zụta ha site n'aka onye mba ọzọ. Ọgbụgba ndụ m nke
ga-apụta ihe n'anụ ahụ gị bụ ọgbụgba ndụ ebighị ebi. 14 Nwoke ọbụla a na-ebighị
ugwu nke anụ ahụ ka a ga-ebipụ site n'etiti ụmụnna ya. N'ihi na o mehiela megide
ọgbụgba ndụ m."
15 Chineke gwakwara Ebraham sị, "Ma n'ebe Serai nwunye gị nọ, ị gaghị akpọkwa
ya Serai ọzọ, kama aha ya ga-abụ Sera. 16 Aga m agọzi ya, sitekwa na ya nye gị nwa
nwoke. Aga m agọzi ya ruo na ọ ga-abụ nne nke ọtụtụ mba. Ndị eze ga-achị ọtụtụ
mmadụ ga-esite na ya pụta."
17 Ebraham dara kpuo ihu n'ala, chịakwa ọchị n'obi ya sị, "Ọ bụ onye gbara narị
afọ ka a ga-amụrụ nwa? Sera, onye gbara iri afọ itoolu ọ ga-amụ nwa?" 18 Ebraham
gwara Chineke sị, "A sịkwa na ị ga-ekwe mee ka Ishmel bụrụ onye dị ndụ n'ihu gị."
19 Ma Chineke zara sị ya, "Ee, kama Sera nwunye gị ga-amụtara gị nwa nwoke. Ị
ga-agụ ya Aịzik. Ọgbụgba ndụ m ga-adịkwara ya na agbụrụ ya ruo mgbe ebighị ebi.
20 Ma banyere Ishmel, anụla m ihe i kwuru. Aga m agọzi ya mee ya ka ọ baa ụba
ma dịkwa ukwuu n'ọnụọgụgụ. Ọ ga-aghọ nna ndị eze iri na abụọ. Aga m eme ya
ka ọ ghọọ mba dị ukwuu. 21 Ma ọgbụgba ndụ m ka m ga-eme ka o guzosie ike n'ebe
Aịzik nọ, onye Sera ga-amụtara gị n'oge dịka ugbu a n'afọ ọzọ." 22 Mgbe ọ gwasịrị
Ebraham okwu, Chineke si n'ebe ọ nọ pụọ.
23 N'ụbọchị ahụ, Ebraham duuru Ishmel nwa ya nwoke, na ndị ikom niile a mụrụ
n'ezinaụlọ ya, tinyere ndị e ji ego zụta, ndị ikom niile nọ n'ezinaụlọ ya, bie ha ugwu
dịka Chineke gwara ya ka ọ mee. 24 Ebraham gbara iri afọ itoolu na itoolu mgbe e
biri ya ugwu, 25 Ishmel nwa ya gbara afọ iri na atọ. 26 E biri Ebraham na nwa ya bụ
Ishmel ugwu n'otu ụbọchị ahụ. 27 Ndị ikom niile nọ n'ezinaụlọ Ebraham, ndị a mụrụ
n'ụlọ ya na ndị e si n'aka ndị mba ọzọ zụta ka e biri ugwu n'oge Ebraham biri ugwu.

# 18

### *Ndị ọbịa atọ*

1 ONYENWE ANYỊ gosiri Ebraham onwe ya n'akụkụ osisi ukwu dị na Mamre, mgbe
Ebraham nọdụrụ ala n'ihu ụlọ ikwu ya, n'etiti ehihie. 2 O lelitere anya ya hụ ndị ikom
atọ ka ha guzo ebe ọ nọ nso. Mgbe ọ hụrụ ha, o sitere n'ihu ụlọ ikwu ya gbakwuru
ha izute ha, kpọọ isiala.
3 Ọ sịrị, "Onyenwe m, ọ bụrụ na m natara amara n'ihu gị, agabigala ohu gị. 4 Biko,
ka ekutere unu mmiri ntakịrị, ka unu sachaa ụkwụ unu, zurukwa ike n'okpuru osisi
a. 5 Ka m wetara unu nri ntakịrị unu ga-eri nke ga-agba unu ume tupu unu agawa
n'ihu n'ije unu ugbu a unu bịara na nke ohu unu."
Ha zara sị ya, "Ọ dị mma. Mee dịka i kwuru."
6 Ya mere, Ebraham mere ngwangwa banyekwuru Sera n'ụlọ ikwu ya sị ya, "Mee
ngwa, mapụta ihe ọtụtụ sịa atọ* site na ọka a kwọrọ nke ọma jiri meta achịcha."

* **18:6** 18:6 Ya bụ ihe ruru kilogram iri na isii

7 Mgbe ahụ, Ebraham gbagara n’igwe ehi ya, họpụta otu nwa ehi na-akaghị aka
nke ahụ ya dị mma, nye ya otu ohu ya onye mere ngwangwa gbuo ya, dozie ya maka
oriri. 8 Emesịa, Ebraham buuru mmiri ara ehi nke rahụrụ arahụ, na mmiri ara ehi,
na anụ ahụ a kwadoro dozie ha n’ihu ndị ọbịa ahụ. O guzokwara nso nso ebe ha nọ
n’okpuru osisi ahụ mgbe ha na-eri nri.
9 Ha jụrụ ya sị, “Ebee ka Sera nwunye gị nọ?”
Ọ zara sị, “Ọ nọ n’ime ụlọ ikwu.”
10 Ọ sịrị ya, “N’ezie, mụ onwe m ga-alọghachikwute gị n’oge a n’afọ ọzọ, Sera
nwunye gị ga-amụta nwa nwoke.”
Sera guzo n’ime ụlọ ikwu ahụ nke dị n’azụ Ebraham na-ege ntị n’ihe ha na-ekwu.
11 N’oge a, Ebraham na Sera emeela nnọọ agadi, gbaakwa isi awọ. Sera agafeela oge
ịmụta nwa. 12 Ya mere, mgbe Sera nụrụ ihe Onyenwe anyị kwuru, ọ chịrị ọchị sị,
“Agadi nwanyị dịka m o si aṅaa amụta nwa, ugbu a onyenwe m karala nka?”
13 Onyenwe anyị jụrụ Ebraham ajụjụ sị, “Gịnị mere Sera ji achị ọchị? Gịnị mere o
ji kwuo sị, ‘Olee otu agadi nwanyị dịka m ga-esi mụọ nwa?’ 14 Ọ dị ihe nyịrị Onyenwe
anyị ime? Mụ onwe m ga-alọghachikwute gị n’oge a kara aka, Sera nwunye gị ga-
amụta nwa nwoke.”
15 Ma ụjọ tụrụ Sera. N’ihi ya, ọ gọrọ agọ sị, “Achịghị m ọchị.”
Ma Ọ zara sị, “Ọ bụ ezie, Sera, ị chịrị ọchị.”

### *Ebraham arịọ arịrịọ banyere Sọdọm*

16 Mgbe ndị ikom atọ ahụ biliri ibidokwa ije ha, ha chere ihu ịga obodo Sọdọm,†
Ebraham dupụkwara ha. 17 Mgbe ha na-aga n’ụzọ, Onyenwe anyị tulere sị, “O kwesiri
ka m zochiere Ebraham ihe m chọrọ ime? 18 Ebraham aghaghị ịbụ mba dị ukwuu
dịkwa ike. A ga-agọzikwa agbụrụ niile nọ n’ụwa site na ya. 19 N’ihi na ahọpụtala m
ya, ka ọ tụziere ụmụ ya na ụlọ ya ndị ga-esote ya ịgbaso ụzọ Onyenwe anyị site n’ime
ihe dị mma na ihe ziri ezi, ka Onyenwe anyị mezuoro Ebraham ihe niile o kwere ya
na nkwa.”
20 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị kwuru sị, “Mkpu akwa m na-anụ site na Sọdọm na
Gọmọra dị ukwuu, otu a kwa, mmehie ha jọbigara njọ oke. 21 Ugbu a, ana m aga ka
m jiri anya m hụ ma ihe ha mere ọ dị njọ dịka mkpu akwa m na-anụ si dị. Ma o sighị
otu ahụ dịrị, aga m amata.”
22 Mgbe ahụ, ndị ikom abụọ n’ime ha gawara Sọdọm. Ma Ebraham nọ na-eguzo
n’ihu Onyenwe anyị. 23 Ebraham jeruru Onyenwe anyị nso jụọ ya sị, “Uche gị ọ bụ
ikpochapụ ndị ezi omume na ndị ajọ omume? 24 Ọ bụrụ na ị chọta iri ndị ezi omume
ise n’ime obodo ahụ, ị ga-ekpochapụ obodo ahụ? Ị gaghị agbaghara‡ ya n’ihi iri ndị
ezi omume ise nọ n’ime ya? 25 Ọ bụghị ezi ihe na ị ga-ala ndị ezi omume na ndị ajọ
omume n’iyi. N’ihi na ị gaghị emeso ndị ezi omume dịka i si mesoo ndị na-eme ajọ
ihe. O kwesighị ka onye ga-ekpe ụwa niile ikpe, kpee ikpe ziri ezi?”
26 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị zara sị ya, “Ọ bụrụ na m achọta iri ndị ezi omume ise
n’obodo Sọdọm, aga m agbaghara obodo ahụ niile n’ihi ha.”
27 Ebraham kwukwara ọzọ sị, “Ugbu a m nwere ike kwuwapụta okwu n’ihu
Onyenwe anyị, mụ onye bụ naanị aja na ntụ. 28 Eleghị anya ọ bụrụ na e nweta
naanị iri ndị ezi omume anọ na ise, ị ga-emebi obodo ahụ?”
Onyenwe anyị zara sị, “Agaghị m ebibi ya ma ọ bụrụ na m achọta iri mmadụ anọ
na ise n’ime ya.”
29 Ọzọkwa, ọ sịrị ya, “Ọ bụrụkwanụ na a ga-achọta naanị iri mmadụ anọ?”
Onyenwe anyị zara sị ya, “N’ihi iri mmadụ anọ, agaghị m ebibi ya.”

† **18:16** 18:16 Ọnọdụ obodo Sọdọm agbanwebeghị, ọ bụladị ugbu a, ọ ka dị na ndịda akụkụ osimiri Nwụrụ anwụ nke bụkwa osimiri Nnu. ‡ **18:24** 18:24 Maọbụ, Ị gaghị echebe ya

[30] Mgbe ahụ ọ sịrị, "Biko, ka iwe hapụ iwe Onyenwe anyị ma m kwuo okwu. Eleghị anya, achọta naanị iri mmadụ atọ n'ebe ahụ?"
ONYENWE ANYỊ zaghachiri sị ya, "Agaghị m emebi ya, ma ọ bụrụ na m achọta iri mmadụ atọ n'ime ya."
[31] O kwuru sị, "Ebe ọ bụ na m amalitela ịgwa gị, Onyenwe anyị okwu, biko kwere ka m gaa n'ihu. Ọ bụrụ na a ga-achọta naanị iri mmadụ abụọ?"
ONYENWE ANYỊ zara sị, "N'ihi iri mmadụ abụọ ahụ agaghị m emebi ya."
[32] N'ikpeazụ, Ebraham kwuru sị, "Ka iwe hapụ iwe Onyenwe anyị. Ka m kwuo naanị otu ugboro a. Ọ bụrụkwanụ na a chọta naanị mmadụ iri n'ebe ahụ?"
ONYENWE ANYỊ zara sị, "N'ihi mmadụ iri ahụ, agaghị m ebibi ya."
[33] Mgbe ONYENWE ANYỊ gwachara Ebraham okwu, ọ hapụrụ ya gawa ebe ọ na-aga. Ebraham laghachiri azụ n'ụlọ ya.

# 19

*Mbibi Sọdọm na Gọmọra*

[1] N'oge anyasị, ndị mmụọ ozi abụọ ahụ bịarutere Sọdọm. Lọt nọ ala n'ọnụ ụzọ
ama obodo ahụ. Mgbe ọ hụrụ ha, o biliri jekwuru ha, hulata ihu ya n'ala. [2] Ọ sịrị,
"Ndị nwe m, batanụ n'ụlọ ohu unu. Unu nwere ike saa ụkwụ unu, nọọkwa ọnọdụ
abalị. Chi bọọ, unu nwere ike ibilikwa bido ịga n'ihu n'ije unu."
Ha zara sị, "Ee, anyị ga-edina n'ama."
[3] Ma Lọt rịọsiri ha ike. N'ikpeazụ ha sooro ya laa n'ụlọ ya. Ọ kwadooro ha ihe
oriri, ya bụ achịcha na-ekoghị eko ka o ghere. Ha rikwara ya. [4] Tupu ha abanye
ịrahụ ụra, ndị ikom obodo ahụ, ndị ikom Sọdọm, bịara gbaa ụlọ ahụ gburugburu,
ma ụmụ okorobịa ma ndị agadi, ndị niile si n'akụkụ obodo ahụ. [5] Ha kpọrọ Lọt oku
sị ya, "Olee ebe ha nọ, bụ ndị ikom ahụ bịara n'ụlọ gị n'abalị a? Kpọpụtara anyị ha
ka anyị na ha dinakọọ."
[6] Lọt pụkwuru ha n'ezi, mechie ụzọ ụlọ ya, [7] sị ha, "Bikonu, ndị enyi m, unu emela
ihe ọjọọ dị otu a. [8] Leenụ, enwere m ụmụ nke aka m, ụmụ agbọghọ abụọ na-amaghị
nwoke. Ka m kpọpụtara unu ha, ka unu mee ha ihe masịrị unu. Ma hapụnụ ndị
ikom ndị a, n'ihi na ha bụ ndị batara izere ndụ n'ụlọ m."
[9] Ha zara sị ya, "Pụọra anyị n'ụzọ. Mbịarambịa ka ị bụ! Leenụ mbịarambịa a! Ọ
chọrọ ịbụ onye ikpe. Anyị mee gị ihe, ọ ga-ajọrọ gị njọ karịa ihe anyị ga-eme ha." Ha
nuru Lọt aka nughachi ya azụ, malite itiwa ọnụ ụzọ ụlọ ya.
[10] Ma ndị ikom ahụ nọ n'ụlọ Lọt, setịpụrụ aka ha dọbata ya n'ụlọ, ma mechie ụzọ
ahụ. [11] Ha tiri ndị ikom ndị ahụ nọ n'ọnụ ụzọ ihe otiti nke mere ka ha kpụọ ìsì, onye
ukwu ha na onye nta ha. N'ihi ya, ha enweghị ike ịchọta ọnụ ụzọ ụlọ ahụ.
[12] Ndị ikom abụọ ahụ gwara Lọt sị, "O nwere onye ọbụla ọzọ i nwere n'ebe a? Ndị
ọgọ nwoke, maọbụ ụmụ gị ndị ikom, maọbụ ụmụ gị ndị inyom, na ọ bụ onye ọbụla
bụ nke gị n'obodo a. Site n'ebe a kpọpụ ha! [13] N'ihi na anyị na-aga imebi obodo a,
mkpu akwa ruru ONYENWE ANYỊ ntị megide ndị bi n'obodo a adịla ukwuu, nke mere
o ji zite anyị ibibi ya."
[14] Ya mere, Lọt pụrụ gaa gwa ndị ọgọ ya nwoke, ndị na-akwado ịlụ ụmụ ya ndị
inyom, sị ha, "Ọsọ, sinụ n'obodo a pụọ. N'ihi na ONYENWE ANYỊ na-akwado ibibi ya."
Ma ndị ọgọ ya nwoke ndị a chere na ọ na-egwu egwu.
[15] N'ụtụtụ, mgbe chi na-abọta, ndị mmụọ ozi a kwagidere Lọt sị ya, "Ọsọ, kpọrọ
nwunye gị na ụmụ gị ndị inyom abụọ ndị a site n'ebe a gbapụ, ma ọ bụghị ya, a
ga-ekpochapụ unu n'ihi ajọ omume ndị obodo a."
[16] Mgbe Lọt ka nọ na-eche ihe ọ ga-eme, ndị ikom ahụ jidere ya n'aka, jidekwa
nwunye ya, na ụmụ ya ndị inyom abụọ duru ha pụọ n'obodo ahụ, n'ihi na ONYENWE
ANYỊ nwere obi ebere n'ebe ha nọ. [17] Mgbe ha si n'ime obodo kpọpụta ha, otu onye

n’ime ha gwara ha sị, “Gbalaganụ n’ihi ndụ unu. Unu elekwala anya n’azụ. Unu
akwụsịkwala ebe ọbụla na mbara ala. Gbaganụ n’ugwu, n’ihi na ọ bụrụ na unu
emeghị otu a, a ga-ekpochapụ unu.”
18 Ma Lọt sịrị ha, “Mba, ndị nwe m, bikonu, 19 ohu unu achọtala amara n’ihu unu,
unu egosila m obi ebere dị ukwuu site n’ichebe ndụ m. Ma agaghị m enwe ike gbalaga
n’ugwu ka mbibi a ghara ịdakwasị m, m nwụọ. 20 Lee obodo dị nso nke m nwere
ike ịgbaga. Ọ bụ obodo dị nta. Kwere ka m gbaga n’ebe ahụ. Obodo nta ka ọ bụ, ọ
bụghị ya? Aga m echebekwa ndụ m na ya.”
21 Ọ zara sị ya, “Ọ dị mma, aga m emere gị dịka arịrịọ gị si dị. Agaghị m emebi
obodo nta ahụ. 22 Ma mee ngwangwa, n’ihi na o nweghị ihe ọbụla m ga-eme tutu
ruo mgbe i ruru n’ebe ahụ.” (Ọ bụ nke a mere e ji akpọ aha obodo ahụ Zoa.)
23 Mgbe Lọt rutere obodo Zoa, anwụ awalitela n’ala ahụ. 24 Mgbe ahụ Onyenwe
anyị sitere n’eluigwe zokwasị obodo Sọdọm na Gọmọra nkume ọkụ nke Onyenwe
anyị mere ka o si n’eluigwe zoo. 25 Otu a ka o si kwatuo obodo ndị ahụ niile dị na
mbara ala ahụ niile, na ndị niile bi n’obodo ndị ahụ. O kwatukwara ihe niile na-epu
n’ala. 26 Ma mgbe nwunye Lọt lere anya n’azụ, otu mgbe ahụ, ọ ghọrọ ogidi nnu.
27 N’ụtụtụ echi ya, Ebraham biliri jeruo ebe ahụ o guzoro n’ihu Onyenwe anyị
n’ụbọchị gara aga. 28 Ọ lepụrụ anya n’ebe obodo Sọdọm na Gọmọra dị, na n’ebe
mbara ala ndị ahụ niile dị. Ọ hụrụ anwụrụ ọkụ dị ukwuu nke si n’ala ahụ na-alali
elu. Anwụrụ ọkụ a dị ka anwụrụ ọkụ si n’ebe a kwanyere ọkụ na-enwusi ike.
29 Ya mere, mgbe Chineke bibiri obodo ndị ahụ dị na mbara ala, o chetara Ebraham,
kpọpụta Lọt site n’oke mbibi ahụ e bibiri obodo ndị ahụ Lọt bi n’ime ha.

*Lọt na ụmụ ya ndị inyom*

30 Emesịa, Lọt na ụmụ ya ndị inyom abụọ hapụrụ obodo Zoa, n’ihi na ọ tụrụ egwu
ibi n’ime Zoa. Ọ gara biri n’ime ọgba nkume ya na ụmụ ya ndị inyom abụọ. 31 Otu
ụbọchị, ada ya sịrị nke nta, “Nna anyị emeela agadi, ọ nwekwaghị nwoke ọbụla nọ
n’ụwa a, onye ga-enye anyị ụmụ, dịka omenaala si dị n’ụwa niile. 32 Ka anyị mee ka
nna anyị ṅụọ mmanya, ka anyị na ya dinakọọ, ka anyị chebe agbụrụ anyị site na nna
anyị.”
33 N’abalị ahụ, ha mere ka nna ha ṅụọ mmanya, nke ada banyere soro nna ya dina.
Ha abụọ nwere mmekọ. Ma ọ amaghị mgbe ada ya dinara maọbụ mgbe o bilikwara.
34 N’echi ya, ada gwara nwanne ya nke nta, “Mụ na nna anyị dinara n’abalị gara
aga. Ka anyị mee ka ọ ṅụọkwa mmanya n’abalị taa, ka ị gaakwa ka gị na ya dina.
Ka anyị mee ka agbụrụ anyị dịgide site na nna anyị.” 35 Ha mere ka nna ha ṅụọ
mmanya n’abalị ahụ, ada ya nke nta banyere ya na nna ya dinaa. Dịka ọ dịkwa na
mbụ, nna ha amataghị mgbe o dinara ala maọbụ mgbe o bilitere.
36 Ya mere, ụmụ ndị inyom Lọt abụọ ndị a tụrụ ime site n’aka nna ha. 37 Nke ada
mụtara nwa nwoke onye ọ gụrụ Moab. Ọ bụ ya bụ nna nna ndị Moab ruo taa. 38 Nwa
ya nke nta mụtakwara nwa nwoke onye ọ gụrụ Ben-Ammi. Ọ bụ ya bụ nna nna ndị
Amọn ruo taa.

# 20

*Ebraham na Abimelek*

1 Ugbu a, Ebraham sitere n’ebe ahụ bilie gaa na mpaghara Negev biri n’ebe dị
n’agbata Kadesh na Shua. Ọ nọrọ n’obodo Gera nwa oge nta. 2 N’ebe ahụ, Ebraham
kwuru maka Sera, nwunye ya, sị “Ọ bụ nwanne m nwanyị.” Abimelek, eze Gera, ziri
ozi kpọrọ Sera.
3 Ma Chineke bịakwutere Abimelek na nrọ n’anyasị, sị ya, “Onye nwụrụ anwụ ka
ị bụ, n’ihi nwanyị nke ị kpọọrọ, nwanyị a bụ onye nwere di.”

4 Ma Abimelek abịabeghị Sera nso, ya mere o ji sị, “Onyenwe m, ị ga-ebibi mba
aka ya dị ọcha? 5 Ọ bụ na ya onwe ya agwaghị m sị, ‘ọ bụ nwanne m nwanyị,’ nke
nwanyị n’onwe ya, ekwuokwa sị, ‘Nwanne m nwoke ka ọ bụ?’ E ji m uche dị ọcha
na aka dị ọcha mee ihe niile m mere.”
6 Chineke zara ya sị, “Amaara m na i ji uche dị ọcha mee ihe i mere. Ọ bụ ya mere
m ji gbochie gị imehie megide m. Ọ bụkwa ya mere m ji gbochie gị ịmetụ ya aka.
7 Ugbu a, nyeghachi nwoke a nwunye ya. N’ihi na ọ bụ onye amụma. Ọ ga-ekpere
gị ekpere, ka ị ghara ịnwụ. Ma ọ bụrụ na i dughachịghị nwanyị a nye di ya, unu
ga-anwụ, gị na ndị gị niile.”
8 Ya mere, Abimelek biliri n’isi ụtụtụ echi ya, kpọọ nzukọ nke ndịisi ozi ya niile,
kọọrọ ha ihe mere. Ha tụrụ ụjọ nke ukwuu. 9 Emesịa, Abimelek kpọbatara Ebraham
sị ya, “Gịnị bụ ihe a i mere anyị? Gịnị bụ ihe ọjọọ m mere i ji butere mụ na alaeze
m ihe oke ikpe ọmụma dị otu a? Ihe a i mere m bụ ihe na-ekwesighị ekwesi.”
10 Abimelek jụrụ Ebraham sị, “Ọ bụ gịnị ka ị hụrụ i jiri mee omume dị otu a?”
11 Ebraham zara ya, “N’ihi na asịrị m n’obi m, ‘N’ezie, ịtụ egwu Chineke adịghị
n’ebe a. Ha ga-egbu m n’ihi nwunye m.’ 12 Ewezugakwa nke a, ọ bụ nwanna m
nwanyị, n’ihi na otu nna mụrụ anyị, ma ọ bụghị otu nne, tupu ọ bụrụ nwunye m.
13 Mgbe Chineke sitere n’ezinaụlọ nna m zipụ m ije ebe dị anya, agwara m ya sị, ‘Otu
a ka ị ga-esi gosi na ị hụrụ m n’anya, ebe ọbụla anyị gara, kwuo gbasara m, “Onye a
bụ nwanne m.” ’ ”
14 Mgbe ahụ, Abimelek dupụtara atụrụ, na ehi, na ndị ohu ndị ikom, na ndị ohu
ndị inyom, nye Ebraham. Ọ kpọnyekwara ya Sera nwunye ya. 15 Abimelek sịrị, “Lee
n’ala m niile, birikwa n’ebe ọbụla masịrị gị.”
16 Mgbe ahụ, ọ sịrị Sera, “Ana m enye nwanne gị puku shekel ọlaọcha, ka ọ bụrụ
ihe m ji kwụọ ụgwọ mmeso ọjọọ m mesoro gị. Ejikwa m ya na-egosi na ị bụ onye
aka ya dị ọcha.”
17 Mgbe ahụ, Ebraham kpọkuru Chineke n’ekpere. Chineke gwọrọ Abimelek na
nwunye ya, na ndị inyom ndị ohu ya niile, ka ha nwee ike ịmụta ụmụ ọzọ. 18 N’ihi
na ONYENWE ANYỊ mechiri akpanwa ndị inyom niile nọ n’ezinaụlọ Abimelek n’ihi
Sera nwunye Ebraham.

# 21

*Ọmụmụ Aịzik*

1 ONYENWE ANYỊ jiri amara leta Sera dịka o kwuru na ọ ga-eme. ONYENWE ANYỊ
meere Sera ihe o kwere na nkwa. 2 Sera tụụrụ ime, mụọra Ebraham nwa nwoke
n’oge o merela agadi. Ọ mụrụ ya n’oge ahụ a kara aka Chineke kwere ya na nkwa.
3 Ebraham gụrụ nwantakịrị ahụ Sera mụụrụ ya aha, kpọọ ya Aịzik. 4 Mgbe Aịzik
nọrọ ụbọchị asatọ site n’ụbọchị a mụrụ ya, Ebraham biri ya ugwu dịka Chineke si
nye ya n’iwu. 5 Ebraham agbaala narị afọ mgbe a mụrụ Aịzik nwa ya nwoke.
6 N’oge ahụ, Sera kwuru sị, “Chineke ewetarala m ọchị. Ndị niile nụrụ akụkọ a
ga-esoro m chịa ọchị.” 7 O kwukwara sị, “Onye gaara agwa Ebraham sị ya na Sera
ga-azụlite ụmụntakịrị. Ma otu ọ dị, amụtarala m ya nwa nwoke ugbu a o merela
agadi.”

*Ebraham achụpụ Hega na nwa ya*

8 Nwata ahụ tokwara, ruo mgbe a kwụsịrị ya ara.* N’ụbọchị ahụ a kwụsịrị ya
ara, Ebraham kpọrọ oriri. 9 Ma mgbe Sera hụrụ na nwa nwoke ahụ Hega onye Ijipt
mụtaara Ebraham nọ na-akwa emo, 10 ọ gwara Ebraham okwu sị ya, “Chụpụ ohu

* **21:8** 21:8 N’usoro omenaala, ọ bụ mgbe nwantakịrị gbara afọ abụọ, maọbụ atọ ka a na-akwụsị ya ara. N’oge ochie, ị kwụsị nwantakịrị ara na-abụ oge mmemme na oke oriri.

nwanyị a na nwa ya. N'ihi na nwa nwoke ohu nwanyị agaghị eso nwa m nwoke
Aịzik keta oke n'ihe nketa."
11 Okwu a wutere Ebraham nke ukwuu n'ihi na ihe banyere nwa ya nwoke Ishmel
na-emetụ ya n'obi. 12 Ma Chineke gwara Ebraham sị, "Ekwela ka obi jọọ gị njọ n'ihi
nwantakịrị a na ohu gị nwanyị. Gee ntị n'ihe ọbụla Sera gwara gị. N'ihi na ọ bụ
site n'Aịzik ka a ga-akpọ mkpụrụ gị aha. 13 Aga m eme ka nwa gị nwoke nke ohu gị
mụtara ghọọ mba dị ukwuu, n'ihi na mkpụrụ afọ gị ka ọ bụ."
14 Ebraham biliri n'isi ụtụtụ echi ya, kwadoo ihe oriri na mmiri ọṅụṅụ nke dị n'ime
karama akpụkpọ, bunye ha Hega. O bukwasịrị ha n'ubu Hega, zipụ ya na nwa ya
nwoke. Hega si n'ebe ahụ pụọ wagharịa n'ime ọzara Bịasheba.
15 Mgbe mmiri dị na karama akpụkpọ ahụ gwụsịrị, o nibere nwantakịrị ahụ
n'okpuru otu osisi ọhịa. 16 Hapụ ya gaa nọdụ ala n'ebe dịtụ anya, ihe dịka narị
nzọ ụkwụ, n'ihi na o kwuru n'obi ya sị, "Achọghị m ịhụ nwantakịrị nwoke a anya
mgbe ọ na-anwụ." Mgbe ọ nọdụrụ ebe ahụ, o bidoro ịkwa akwa.
17 Ma Chineke nụrụ ịkwa akwa nwantakịrị nwoke ahụ. Mmụọ ozi Chineke sikwa
na mbara eluigwe kpọọ Hega oku sị ya, "Hega, gịnị na-eme gị? Atụla egwu, n'ihi na
Chineke anụla† olu akwa nwantakịrị ahụ n'ebe ahụ o dina. 18 Gaa kulite nwantakịrị
ahụ kasịe ya obi, n'ihi na aga m eme ya ka ọ ghọọ mba dị ukwuu."
19 Mgbe ahụ, Chineke meghere anya ya, mee ka ọ hụ olulu mmiri dị n'ebe ahụ. Ọ
gara kujuo karama akpụkpọ ahụ mmiri, ma nye nwantakịrị ahụ mmiri ka ọ ṅụọ.
20 Chineke nọnyeere nwantakịrị ahụ mgbe ọ na-eto. O biri n'ọzara ahụ ghọọ onye
na-agba àkụ nke ọma. 21 Mgbe o bi n'ọzara Paran, nne ya chọtaara ya nwunye site
n'Ijipt.

### *Nkwekọrịta e nwere na Bịasheba*

22 N'oge a, Abimelek na Fikọl onyeisi ndị agha ya, bịakwutere Ebraham sị ya,
"Chineke nọnyeere gị n'ihe niile ị na-eme. 23 Ugbu a, ṅụọra m iyi n'aha Chineke
na ị gaghị aghọgbu m maọbụ ghọgbuo ụmụ m, maọbụ ụmụ ụmụ m. Gosi m n'obodo
a i bi n'ime ya dịka onye ọbịa ụdị obiọma m gosiri gị."
24 Ebraham zara sị ya, "Ọ dị mma, aga m aṅụrụ gị iyi."
25 Mgbe ahụ, Ebraham kọsaara Abimelek ihe banyere olulu mmiri nke ndị na-ejere
ya ozi ji anya ike nara ndị na-ejere Ebraham ozi. 26 Abimelek zara sị, "Amaghị m onye
mere ihe dị otu a. Ị gwaghị m na ihe dị otu a mere, anụghị m ya ma ọ bụghị naanị
taa."
27 Mgbe ahụ, Ebraham kpụpụtara atụrụ, na ehi, nye Abimelek. Ha abụọ gbara ndụ
nkwekọrịta. 28 Mgbe Ebraham sitere n'igwe atụrụ ya wepụta nne atụrụ asaa nupu
ha ka ha nọpụ iche, 29 Abimelek jụrụ Ebraham sị ya, "Gịnị ka i ji nne atụrụ asaa ndị
a ị họpụtara iche eme?"
30 Ebraham zara sị, "Nabata ụmụ atụrụ asaa ndị a dịka ihe akaebe na-egosi na ọ
bụ m gwuru olulu mmiri a."
31 Ya mere, e bidoro ịkpọ ebe ahụ Bịasheba, n'ihi na n'ebe ahụ ka mmadụ abụọ a
nọ ṅụrịtaara onwe ha iyi.
32 Mgbe ha gbachara ndụ nkwekọrịta na Bịasheba, Abimelek na Fikọl onyeisi agha
ya laghachiri azụ n'ala ndị Filistia. 33 Ebraham kụrụ osisi tamarisk na Bịasheba. Ebe
ahụ ka ọ nọ kpọkuo aha Onyenwe anyị, Chineke ebighị ebi. 34 Ebraham bigidere n'ala
ndị Filistia ogologo oge.

## 22

### *Ọnwụnwa a nwara Ebraham*

† **21:17** 21:17 Chineke anụla Maọbụ, Chineke na-anụ, bụ ihe Ishmel pụtara.

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, Chineke nwara Ebraham. Ọ sịrị ya, “Ebraham.”
Ebraham zara sị, “Lekwa m.”
2 Chineke sịrị, “Duru nwa gị nwoke, naanị otu nwa gị nwoke, Aịzik onye ị hụrụ
n’anya, gaa n’ala Mọrịa. Jiri ya chụọrọ m aja nsure ọkụ n’elu otu n’ime ugwu dị
n’ebe m ga-egosi gị.”
3 N’isi ụtụtụ echi ya, Ebraham biliri kwadoo ịnyịnya ibu ya. O duuru ndị ikom abụọ
na-ejere ya ozi, na nwa ya nwoke Aịzik. O gbutere nkụ ga-ezuru ya ịchụ aja nsure
ọkụ, bilie gawa ebe ahụ Chineke gwara ya maka ya. 4 N’ụbọchị nke atọ, Ebraham
lepụrụ anya hụ ebe ahụ n’ebe dị anya. 5 Ọ gwara ndị na-ejere ya ozi sị, “Nọdụnụ n’ebe
a, unu na ịnyịnya ibu anyị, ka mụ na nwokorobịa a gaa n’ebe ahụ. Anyị feecha ofufe,
anyị ga-alọghachikwute unu ọzọ.”
6 Ebraham boro nwa ya nwoke Aịzik ukwu nkụ ahụ e ji achụ aja nsure ọkụ n’isi,
ma ya onwe ya jidere ọkụ na mma. 7 Aịzik gwara nna ya Ebraham sị, “Nna m.”
Ebraham zara, “Ehee, nwa m.”
Aịzik sịrị, “Ọkụ na nkụ dị n’ebe a, olee nwa atụrụ e ji achụ aja nsure ọkụ?”
8 Ebraham zara, “Nwa m, Chineke n’onwe ya ga-eweta nwa atụrụ e ji achụ aja
nsure ọkụ.” Ha abụọ gakwara n’ihu n’ije ha.
9 Mgbe ha ruru ebe ahụ Chineke gwara ya maka ya, Ebraham wuru ebe ịchụ aja
n’ebe ahụ, doo nkụ ndị ahụ niile n’usoro n’elu ya. O kere nwa ya Aịzik agbụ, tụkwasị
ya n’elu ebe ịchụ aja ahụ, na n’elu nkụ ndị ahụ. 10 Mgbe ahụ Ebraham setịpụrụ aka
ya, welite mma ka o gbuo nwa ya nwoke. 11 Ma mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ si n’eluigwe
kpọọ ya oku sị ya, “Ebraham! Ebraham!”
Ebraham zara, “Lekwa m n’ebe a.”
12 Ọ sịrị ya, “Emetụkwala nwokorobịa ahụ aka. Emekwala ya ihe ọbụla. N’ihi na
amatala m ugbu a na ị na-atụ egwu Chineke, ebe ọ bụ na i kwenyere iji nwa gị nwoke,
naanị otu nwa nwoke i nwere chụọrọ m aja.”
13 Ebraham leliri anya hụ otu ebule nke eriri ọhịa jidere na mpi ya. Ebraham gara
jide ebule ahụ, were ya chụọ aja nsure ọkụ n’ọnọdụ nwa ya nwoke. 14 Ya mere,
Ebraham kpọrọ ebe ahụ, “ONYENWE ANYỊ ga-arọpụta.*” Ya mere ruo taa a na-asị,
“N’ugwu ONYENWE ANYỊ, a ga-arọpụta.”
15 Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ sitere n’eluigwe kpọọ Ebraham oku nke ugboro abụọ,
16 sị, “Mụ onwe m, bụ ONYENWE ANYỊ, ji onwe m na-aṅụ iyi na-ekwupụta sị, ebe ọ
bụ na i mere ihe dị otu a, na i kwenyere iji nwa gị nwoke, naanị otu nwoke i nwere
chụọrọ m aja, 17 aga m agọzi gị n’ezie, mekwa ka ụmụ ụmụ gị mụbaa n’ọnụọgụgụ
dịka kpakpando nke mbara eluigwe na dịka aja dị n’ọnụ mmiri osimiri. Ụmụ ụmụ
gị ga-enwetara onwe ha ọnụ ụzọ ama ndị iro ha. 18 Sitekwa na mkpụrụ gị ka a ga-
agọzikwa agbụrụ niile nọ n’ụwa, n’ihi na i rubeere m isi.”
19 Emesịa, Ebraham laghachikwuru ndị na-ejere ya ozi. Ha niile laghachikwara
Bịasheba. Ebraham birikwara na Bịasheba.

### *Ụmụ ụmụ Nahọ*

20 Mgbe ihe ndị a gasịrị, e ziri Ebraham ozi si ya, “Lee, Milka ya onwe ya
amụkwaarala nwanne gị nwoke bụ Nahọ, ụmụ ndị ikom.
21 Aha ha bụ Uz, onye bụ ọkpara, na Buz nwanne ya,
Kemuel bụ (nna Aram),
22 Kesed, Hazọ, Pildash, Jidlaf na Betuel.”
23 Betuel mụrụ Ribeka.
Milka mụtaara Nahọ, nwanne Ebraham ụmụ ndị ikom asatọ ndị a.

24 Iko ya nwanyị, onye aha ya bụ Reuma, mụkwaara ya ụmụ ndị ikom.

* **22:14** 22:14 Maọbụ, Onyenwe anyị Jaire

Ha bụ Teba, Gaham, Tahash na Maaka.

# 23

*Ọnwụ Sera*

[1] Sera dị ndụ ruo narị afọ na iri afọ abụọ na asaa. [2] Ọ nwụrụ na Kiriat Arba (nke
bụ Hebrọn), n'ala Kenan. Ebraham ruru ụjụ n'ihi Sera, kwaa akwa nke ukwuu n'ihi
ọnwụ ya.

[3] Ebraham sitere n'ebe ozu nwunye ya dị pụọ, jekwuru ụmụ Het gwa ha sị, [4] "Abụ
m ọbịa na onye obodo ọzọ n'etiti unu. Resinụ m ala m ji eme ebe olili n'ebe a, ka m
nwee ike lie onye m nwụrụ anwụ."

[5] Ụmụ Het zara Ebraham sị, [6] "Nna anyị ukwu, gee anyị ntị. Nwa eze dị ukwu ka
ị bụ n'etiti anyị, lie onye gị nwụrụ anwụ n'ili ahụ nke kachasị mma n'ime ili anyị
nwere. O nweghị onye ọbụla n'ime anyị ga-ajụ inye gị ala olili ya maka ili onye gị
nwụrụ anwụ."

[7] Mgbe ahụ, Ebraham biliri kpọọ isiala n'ihu ndị nwe ala, bụ ndị Het, [8] sị ha, "Ọ
bụrụ ọchịchọ unu ka m lie onye m nwụrụ anwụ, geenụ m ntị ma rịọrọ m Efrọn nwa
Zoha, [9] ka o resi m ọgba Makipela, nke bụ nke ya, nke dị na ngwụsị ọhịa ya. Gwa ya
ka o resi m ya n'ọnụ ahịa o ruru ka ọ bụrụ ebe olili m nwere n'etiti unu."

[10] Efrọn onye Het n'onwe ya so nọdụ n'ebe ahụ n'etiti ndị ya. Ọ zara Ebraham
n'ihu ndị Het niile bịara n'ọnụ ụzọ ama obodo [11] sị ya, "Mba! Nna m ukwu, gee m
ntị. Ana m enye gị ala ahụ na ọgba dị n'ime ya n'ihu ndị a niile bụ ndị m. Gaa lie
onye gị nwụrụ anwụ n'ime ya."

[12] Ọzọ Ebraham kpọrọ isiala nye ndị nwe ala, [13] ọ sịrị Efrọn, n'ihu ha niile, "Biko
gee m ntị, aga m akwụ gị ọnụahịa iji zụọ ala ahụ. Nara m ya ka m nwee ike lie onye
m nwụrụ anwụ n'ime ya."

[14] Efrọn zara Ebraham, [15] "Gee m ntị, nna m ukwu, ọ bụ ezie na ala ahụ ruru narị
shekel ọlaọcha anọ, ma gịnị ka nke a bụ n'etiti mụ na gị? Gaa lie onye gị nwụrụ
anwụ n'ime ya."

[16] Ebraham kwenyere n'ego ole Efrọn chọrọ ka ọ kwụọ. O ji ihe ọtụtụ tụpụtara
Efrọn ego ruru ọnụahịa ọ kpọrọ aha n'ihu ndị Het niile, narị shekel ọlaọcha anọ,
dịka ihe ọtụtụ nke dị n'oge ahụ n'etiti ndị na-azụ ahịa.

[17] Site n'oge ahụ, ala ahụ Efrọn nwere na Makipela, nke dị nso na Mamre, ala ahụ
na ọgba dị n'ime ya, na osisi niile dị n'ime ala ahụ niile gburugburu, [18] ghọrọ nke
Ebraham dịka ihe nzụta ya n'ihu ụmụ Het, n'ihu ndị niile ndị bịara n'ọnụ ụzọ e si
abata obodo ahụ. [19] Emesịa, Ebraham liri Sera nwunye ya n'ime ọgba ahụ dị n'ala
dị na Makipela na nso Mamre (nke dị na Hebrọn) n'ala ndị Kenan. [20] Ya mere, ala
ahụ na ọgba dị n'ime ya ka ndị Het resiri Ebraham ka ọ bụrụ nke ya, ebe a na-eli
ozu.

# 24

*Aịzik na Ribeka*

[1] Ugbu a, Ebraham aghọọla agadi n'ahụ ya ma n'ọnụọgụgụ afọ ya. ONYENWE ANYỊ
agọziela ya n'ụzọ niile [2] Ọ gwara onyeisi ndị ozi n'ụlọ ya, onye nke na-elekọta ihe
niile o nwere sị ya, "Tinye aka gị n'okpuru apata m.* [3] Achọrọ m ka i jiri aha ONYENWE
ANYỊ Chineke nke eluigwe na ụwa, ṅụọra m iyi, na ị gaghị achọtara nwa m nwoke
nwunye site n'etiti ndị Kenan, ndị m bi n'etiti ha. [4] Kama na ị ga-aga n'ala nke m na
ụmụnna m lụtara nwa m, bụ Aịzik, nwunye n'etiti ụmụnna m."

---

* **24:2** 24:2 N'usoro ịṅụ iyi a, ọ pụtara na ọgbụgba ndụ a maọbụ nkwa ahụ, ga-adịgide n'agbụrụ Ebraham niile. Jenesis 47:29.

[5] Ohu ahụ jụrụ ya, "Ọ bụrụkwanụ na nwaagbọghọ ahụ achọghị isoro m lọghachi
n'ebe a, m ga-akpọrọ nwa gị nwoke laghachi n'obodo i si bịa?"
[6] Ebraham sịrị ya, "Lezie anya hụ na ị kpọghachighị nwa m nwoke n'ebe ahụ.
[7] ONYENWE ANYỊ, Chineke nke eluigwe, bụ onye kpọpụtara m site n'ụlọ nna m nakwa
obodo nke aka m, onye ahụ gwara m okwu ma kwem nkwa site n'ịṅụ iyi nye sị, 'Aga
m enye ụmụ ụmụ gị ala a.' Ọ ga-ezipụ mmụọ ozi ya ka ọ gaa n'ihu gị ka i nwee ike
inwetara nwa m nwoke nwunye site n'ebe ahụ. [8] Ma ọ bụrụ na nwanyị ahụ achọghị
isoro gị lọghachi, mgbe ahụ, ị ga-abụ onye nwere onwe ya pụọ n'iyi a ị ṅụrụ. Naanị
na ị gaghị eme ka nwa m nwoke laghachi n'ebe ahụ." [9] Ya mere, ohu ahụ tinyere aka
ya n'okpuru apata nna ya ukwu Ebraham, ṅụọ iyi banyere okwu ndị a.
[10] Emesịa, ohu a duuru ịnyịnya kamel iri n'ime ndị nna ya ukwu nwere pụọ. O
sitekwara n'aka nna ya ukwu were ihe ọma dị iche iche maka njem a, gawa Aram
Naharaim, rute n'obodo Nahọ. [11] O mere ka ịnyịnya kamel ndị ahụ makpuru ala
n'akụkụ olulu mmiri dị n'azụ obodo ahụ. Ọ bụ n'oge anyasị, oge ụmụ nwanyị ji
apụta iseta mmiri n'ebe ahụ.
[12] Mgbe ahụ, o kpere ekpere sị, "ONYENWE ANYỊ, Chineke nke nna m ukwu Ebraham,
mee ka ihe gaara m nke ọma taa. Gosi nna m ukwu Ebraham obi ebere gị. [13] Lee,
ana m eguzo n'akụkụ isi iyi mmiri a, ụmụ nwanyị ndị obodo a na-abịa iseta mmiri.
[14] Kwere ka o si otu a dịrị na nwaagbọghọ nke m ga-asị, 'Biko, zie ite gị ka m ṅụrụ
mmiri.' Ọ bụrụ na onye ahụ asị m, 'Ṅụọ, aga m ekutekwa mmiri nke ịnyịnya kamel
gị ga-aṅụ,' ka onye ahụ bụrụ onye ị họpụtara ohu gị Aịzik. N'ụzọ dị otu a ka m ga-esi
mata na i gosila nna m ukwu obi ebere."
[15] Tupu o kpechaa ekpere a, lekwa Ribeka ada Betuel, nwa nwoke Milka, onye
bụ nwunye Nahọ, nwanne Ebraham. Ọ na-apụta bukwasị ite n'ubu ya. [16] Ọ bụ
nwaagbọghọ mara mma nke ukwuu, onye na-amatabeghị nwoke, nke nwoke ọbụla
na-edinabeghị. Ọ gara n'olulu mmiri kujuo ite ya si n'ebe ahụ na-arịgopụta.
[17] Ohu ahụ mere ngwangwa jekwuru ya sị ya, "Biko nyetụ m mmiri si n'ite mmiri
gị."
[18] Ọ mere ngwangwa budata ite ahụ n'aka ya, hulata ya si ya, "Ṅụọ, onyenwe m."
[19] Mgbe o nyechara ya mmiri, ọ sịrị, "Aga m ekutekwa mmiri nye ịnyịnya kamel
gị ndị a ruo mgbe ha ṅụjuru afọ." [20] Ngwangwa, ọ wụpụrụ mmiri dị n'ite ya n'ime
ihe anụ ụlọ ji aṅụ mmiri, gbara ọsọ gaa kute mmiri ọzọ na-agbanye n'ime ihe ahụ.
O kugidere mmiri tutu ruo mgbe ịnyịnya kamel ndị ahụ ṅụjuchara afọ. [21] Mgbe ihe
ndị a na-eme, ohu ahụ gbara nkịtị na-ele ya anya ịchọpụta ma ONYENWE ANYỊ emeela
ka ije ya bụrụ ihe gara nke ọma.
[22] Mgbe ịnyịnya kamel ndị ahụ ṅụsịrị mmiri, nwoke ahụ wepụtara mgbanimi
ọlaedo nke ọtụtụ ya bụ otu beka,† na mgbaaka ọlaedo abụọ nke ọtụtụ ha bụ shekel
iri. [23] Ọ jụrụ ya sị, "Nwa onye ka ị bụ? Ohere ọ dị n'ụlọ nna gị ebe mụ na ịnyịnya
kamel ndị a ga-anọ n'abalị a?"
[24] Ọ zara sị ya, "Abụ m nwa Betuel, nwa Milka nwunye Nahọ." [25] Ọ sịkwara, "Anyị
nwere nri anụ ụlọ, nweekwa ebe ị ga-edina n'abalị a."
[26] Nwoke ahụ hulatara ala kpọọ isiala nye ONYENWE ANYỊ. [27] Kwuo sị, "Ngọzị dịrị
ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nna m ukwu Ebraham, onye na-esitebeghị n'ebe nna m
ukwu nọ wezuga ebere ya na ikwesi ntụkwasị obi ya. Ma banyere mụ onwe m,
ONYENWE ANYỊ e duola m n'ije a, kpọrọ m rute n'ụlọ ndị ikwu nna m ukwu."
[28] Nwaagbọghọ ahụ gbalara gaa kọọrọ ndị ezinaụlọ nne ya ihe ndị a. [29] Ribeka
nwere otu nwanne nwoke aha ya bụ Leban. Leban gbara ọsọ gbakwuje nwoke ahụ
n'isi iyi mmiri ahụ. [30] Mgbe ọ hụrụ mgbanimi, na mgbaaka ndị ahụ nwanne ya
nwanyị yi n'aka ya, ma nụkwa ihe Ribeka kwuru banyere ihe nwoke ahụ gwara ya,

† **24:22** 24:22 Maọbụ, ọkara shekel

o jekwuru nwoke ahụ, hụ ya ka ya na ịnyịnya kamel ya guzo n'akụkụ olulu mmiri.
31 Ọ sịrị ya, "Bịa, gị onye ONYENWE ANYỊ gọziri. Gịnị mere i ji guzo n'ebe a. Edozielara
m gị ụlọ ebe ị ga-edina na ebe ịnyịnya kamel ndị a ga-anọ."
32 Ya mere, nwoke ahụ gara n'ụlọ, ebe Leban nyere aka butukwaara ya ibu nke
ịnyịnya kamel ndị ahụ bu. E wetara nri nye ịnyịnya kamel ndị ahụ, wetara ya mmiri
nke ya na ndị ikom so ya ji saa ụkwụ ha. 33 E doziri ya ihe oriri, ma ọ zara sị, "Agaghị
m eri ihe ọbụla tutu ruo mgbe m kwuru ihe m ji bịa."

Leban sịrị, "Ngwa, kwuonụ."

34 Ya mere, ọ sịrị, "Abụ m ohu Ebraham. 35 ONYENWE ANYỊ agọziela nna m ukwu,
mee ya ka ọ bụrụ ọgaranya. O nyela ya igwe atụrụ, na igwe ehi, na ọlaọcha na
ọlaedo, na ọtụtụ ndị ohu nwoke na nwanyị, na ịnyịnya kamel, na ịnyịnya ibu. 36 Sera
nwunye nna m ukwu mụtaara ya otu nwa nwoke mgbe o merela agadi. Ihe niile nna
m ukwu nwere ka o nyefere nwa ahụ n'aka. 37 Nna m ukwu mere ka m ṅụọra ya
iyi sị, 'Ị gaghị esite n'etiti ụmụ ndị inyom Kenan ndị anyị bi n'ala ha lụtara nwa m
nwoke nwunye. 38 Kama ị ga-aga n'ezinaụlọ nna m, na nke ndị ikwu m chọtara nwa
m nwoke nwunye.'

39 "Mgbe ahụ, ajụrụ m nna m ukwu, 'Ọ bụrụkwanụ na nwanyị ahụ ekweghị iso m
lọghachi?'

40 "Ọ sịrị, 'ONYENWE ANYỊ, onye m na-ejegharị n'ihu ya, ga-eziga mmụọ ozi ya ka o
soro gị gaa ime ka ije gị nwee isi, ka i nwee ike chọtara nwa m nwoke nwanyị site
n'etiti ndị ikwu m na ezinaụlọ nna m. 41 Ị ga-abụ onye nwere onwe gị site n'iyi ị ṅụrụ
ma ọ bụrụ na mgbe i gakwuru ndị ikwu m, ha jụrụ ịkpọnye gị nwanyị ahụ. Ị ga-abụ
onye nwere onwe gị site n'iyi ị ṅụrụ m.'

42 "Mgbe m rutere n'isi iyi mmiri taa, ekwuru m sị, 'ONYENWE ANYỊ Chineke nna m
ukwu Ebraham, ọ bụrụ na ọ masị gị, biko mee ka ije a m bịara bụrụ nke ga-aga nke
ọma. 43 Lee, ka m na-eguzo n'akụkụ isi iyi mmiri a, ka nwaagbọghọ ahụ bịara ikuru
mmiri nke m ga-asị, "Biko kwere ka m si n'ite gị ṅụrụtụ ntakịrị mmiri," 44 ma ọ bụrụ
na ọ sị m, "Ṅụọ, aga m ekutekwa mmiri nye ịnyịnya kamel gị ndị a," ka onye dị otu
a bụrụ nwanyị ahụ ONYENWE ANYỊ chọtaara Aịzik nwa nna m ukwu.'

45 "Tupu m kpesịa ekpere a n'obi m, lekwa Ribeka ka o bụ ite mmiri ya n'ubu ya
na-abịa. Ọ gbadara n'isi iyi mmiri ahụ kute mmiri. Asịrị m ya, 'Biko nye m mmiri
ka m ṅụọ.'

46 "Ngwangwa, o sitere n'ubu ya budata ite, sị m, 'Ṅụọ, aga m ekutekwa mmiri nke
ịnyịnya kamel ndị a ga-aṅụ.' Ya mere, aṅụrụ m, o nyekwara ịnyịnya kamel m ndị
ahụ mmiri ha ṅụrụ.

47 "Mgbe ahụ, ajụrụ m ya, 'Nwa onye ka ị bụ?'

"Ọ sịrị m, 'Abụ m nwa Betuel onye bụ nwa Nahọ nke Milka mụtaara ya.'

"Mgbe ahụ etinyere m ya mgbanimi ahụ n'imi ya, tinyekwa ọlaaka ahụ n'aka ya
abụọ. 48 Ehulatara m ala kpọọ isiala nye ONYENWE ANYỊ. Etoro m ONYENWE ANYỊ,
Chineke nke nna m ukwu Ebraham, onye duru m n'ezi ụzọ inweta nwa nwanne nna
m ukwu dịka nwunye nwa ya nwoke. 49 Ugbu a, ọ bụrụ na unu ga-egosi nna m ukwu
obiọma na ikwesi ntụkwasị obi gwanụ m. Ọ bụrụkwanụ na ọ gaghị esi otu a dịrị,
gwanụ m ka m mata ụzọ m ga-agbaso."

50 Leban na Betuel zara sị ya, "Ihe niile si n'aka ONYENWE ANYỊ. Anyị enweghị ike
ịgwa gị okwu ọjọọ maọbụ nke ọma. 51 Lee Ribeka, kpọrọ ya laa, ka ọ bụrụ nwunye
nwa nna gị ukwu, dịka ONYENWE ANYỊ kwuru."

52 Mgbe ohu Ebraham nụrụ ihe ha kwuru, ọ dara n'ala kpọọ isiala nye ONYENWE
ANYỊ. 53 Mgbe ahụ kwa, ohu ahụ wepụtara ihe ịchọ mma ọlaedo, na ọlaọcha dị iche
iche na uwe nye ha Ribeka. Ọ wepụtakwara onyinye ndị ọzọ dị oke ọnụahịa nye

nwanne ya nwoke na nne ya. 54 Emesịa, mgbe ihe ndị a gasịrị, ya na ndị ikom so ya
riri, ṅụọ, dinaakwa n'abalị ahụ.

Mgbe ha si n'ụra teta, o kwuru sị, "Zilaga m ka m lakwuru nna m ukwu."

55 Ma Leban na nne ya zara sị ya, "Ka nwantakịrị nwanyị a nọnyere anyị ihe dịka
ụbọchị iri tupu o soro gị laa."

56 Ma ọ zara ha sị, "Unu egbochila anyị. Ebe ọ bụ na ONYENWE ANYị emeela ka ije
m bụrụ ihe gara nke ọma, zilaga m ka m laghachikwuru nna m ukwu."

57 Ha zara sị ya, "Ka anyị kpọọ nwantakịrị nwanyị ahụ jụọ ya ihe bụ uche ya." 58 Ya
mere ha kpọrọ Ribeka jụọ ya sị, "Ị ga-eso nwoke a gaa?"

Ọ zara sị, "E, aga m aga."

59 Ya mere, ha zipụrụ nwanne ha nwanyị Ribeka, tinyere nwanyị lekọtara ya anya
mgbe ọ dị na nwantakịrị, na ohu Ebraham na ndị ikom so ya. 60 Ha gọziri Ribeka sị
ya,

"Nwanne anyị nwanyị mụọ ọmụmụ,
mụruo puku kwụrụ puku,
ka mkpụrụ afọ gị nwetara onwe ha,
ọnụ ụzọ ama ndị iro ha."

61 Ribeka biliri, ya na ndị inyom na-ejere ya ozi, ha rigoro n'elu ịnyịnya kamel ndị
ahụ, soro nwoke ahụ. Ya mere, ohu ahụ duuru Ribeka laa.

62 N'oge a, Aịzik bịara n'ebe mbata obodo Bịa-Lahai-Rọị n'ihi na o bi na Negev.
63 Aịzik pụtara ịtụgharị uche n'ọhịa n'oge uhuruchi. Ọ lepụrụ anya hụ ọtụtụ ịnyịnya
kamel na-abịanụ. 64 Ribeka n'onwe ya lepụkwara anya hụ Aịzik. O sitere n'elu
ịnyịnya kamel rịdata, 65 jụọ ohu ahụ sị, "Onye bụ nwoke a si n'ọhịa na-abịa izute
anyị?"

Ohu ahụ zara sị ya, "Ọ bụ nna m ukwu" N'ihi nke a, Ribeka weere akwa mkpudo
ya kpuchie ihu ya.

66 Ohu ahụ kọọrọ Aịzik akụkọ otu ije ya niile si gaa. 67 Aịzik kpọbatara Ribeka n'ụlọ
ikwu Sera,‡ nne ya. Ọ lụrụ Ribeka, onye ghọrọ nwunye ya. Aịzik hụrụ ya n'anya, ma
nweta nkasiobi n'ihi ọnwụ nne ya.

# 25

### *Ọnwụ Ebraham*

1 Ebraham lụrụ nwunye ọzọ, onye aha ya bụ Ketura. 2 Ọ mụụrụ ya Zimran, Jokshan,
Medan, Midian, Ishbak na Shua. 3 Jokshan bụ nna Sheba na Dedan. Ụmụ ndị ikom
Dedan bụ Ashurim, Letushim, na Leumim. 4 Ụmụ ndị ikom Midian bụ Efaa, Efe,
Hanok, Abida, na Eldaa. Ndị a niile bụ ụmụ Ketura.

5 Ebraham nyere Aịzik ihe niile o nwere. 6 Ebraham nyere ụmụ ndị ikom ndị iko ya
nwanyị mụtara onyinye dị iche iche, zipụ ha n'ala dị n'ebe ọwụwa anyanwụ, mgbe
ọ ka nọ ndụ, ka ha ghara ịnọ nwa ya nwoke Aịzik nso.

7 Ebraham dị ndụ ruo narị afọ na iri afọ asaa na ise. 8 Ebraham kubiri ume ndụ
nwụọ mgbe o mere nnọọ ezigbo agadi, agadi nwoke nke ndụ juru afọ, e mere ka ọ
lakwuru ndị ya. 9 Ụmụ ya, Aịzik na Ishmel, liri ya n'ọgba Makipela n'akụkụ Mamre,
n'ala ubi Efrọn nwa Zoha onye Het, 10 ala ahụ Ebraham zụrụ site n'aka ndị Het. Ebe
ahụ ka e liri Ebraham ya na Sera nwunye ya. 11 Mgbe Ebraham nwụrụ, Chineke
gọziri nwa ya nwoke Aịzik onye bi n'oge ahụ na nso nso Bịa-Lahai-Rọị.

### *Ụmụ ụmụ Ishmel*

12 Nke a bụ akụkọ banyere usoro ezinaụlọ Ishmel nwa Ebraham onye Hega, nwanyị
Ijipt ahụ na-ejere Sera ozi mụụrụ ya.

‡ **24:67** 24:67 Cheta n'oge a, Sera a nwụọlarị afọ atọ gara aga. Jen 17:17; 23:1; 25:20

13 Ndị a bụ aha ụmụ ndị ikom Ishmel n'usoro ọmụmụ ha.

Nebaiot bụ nwa mbụ ya.
Ndị ọzọ bụ Keda, Adbel, Mibsam,
14 Mishma, Duma, Masa,
15 Hadad, Tema, Jetua,
Nafish na Kedema.

16 Ndị a bụ ụmụ Ishmel, ndị a bụkwa aha ndịisi ikwu iri na abụọ ha, dịka ebe obibi ha si dị, na dịka ọmụma ụlọ ikwu ha si dị.

17 Ishmel biri ndụ ruo narị afọ na iri afọ na asaa. Ọ nwụrụ, e mere ka ọ lakwuru
ndị ya. 18 Ụmụ ụmụ ya bi n'ala dị site na Havila ruo Shua nso nso oke ala ndị Ijipt,
n'ụzọ e si aga Ashọ. Ha na ụmụnna ha ndị ọzọ ebighị n'udo.

### *Jekọb na Ịsọ*

19 Nke a bụ akụkọ banyere usoro agbụrụ Aịzik nwa Ebraham.

Ebraham bụ nna Aịzik. 20 Aịzik gbara iri afọ anọ mgbe ọ lụrụ Ribeka, nwa Betuel,
onye Aram si n'obodo Padan Aram, nwanne Leban, onye Aram.
21 Aịzik kpere ekpere rịọọ ONYENWE ANYỊ ka o nye nwunye ya nwa n'ihi na ọ bụ
nwanyị aga. ONYENWE ANYỊ zara ekpere ya. Nwunye ya, Ribeka dịịrị ime. 22 Ụmụ o
bu n'afọ bidoro na-alụ ọgụ n'ime afọ ya. N'ihi nke a, o kwuru sị, "Gịnị mere ihe dị
otu a ji eme m?" Ya mere, ọ gara jụta ase n'aka ONYENWE ANYỊ.
23 ONYENWE ANYỊ gwara ya sị,
"Mba abụọ dị gị n'afọ,
ụzọ mba abụọ dị n'ime gị ka a ga-ekewa.
Otu ụzọ ga-adị ike karịa nke ọzọ,
nke okenye ga-ejere nke nta ozi."
24 Mgbe oge ime ya zuru, ụmụ abụọ dị n'akpanwa ya. 25 Ahụ nwa nke mbụ buru
ụzọ pụta na-acha uhie uhie, ahụ ya niile dịka uwe ajị. N'ihi ya, ha kpọrọ aha ya Ịsọ.
26 Emesịa, nwanne ya pụtara, ma aka ya jidere ikiri ụkwụ Ịsọ. N'ihi ya, a kpọrọ aha
ya Jekọb. Aịzik gbara iri afọ isii mgbe Ribeka mụrụ ha.
27 Ha abụọ toro, Ịsọ ghọrọ onye ọka n'ịchụ nta, onye na-epioghari n'ọhịa, ebe Jekọb
bụ nwoke dị nwayọọ, onye na-anọ n'etiti ụlọ ikwu. 28 Aịzik hụrụ Ịsọ n'anya n'ihi na
ụtọ anụ Ịsọ na-egbute n'ọhịa na-adị ya mma, ma Ribeka hụrụ Jekọb n'anya.

### *Ịsọ eree ọnọdụ ọkpara ya*

29 Otu ụbọchị, Jekọb nọ na-esi ofe mgbe Ịsọ si n'ọhịa bata. Agụụ na-agụkwa ya nke
ukwuu. 30 Ịsọ rịọrọ Jekọb sị, "Nyetụ m ụfọdụ n'ime nri a na-acha uhie uhie ị na-esi
ka m rie, n'ihi na agụụ na-agụ m hie nne." (Ọ bụ ihe a mere e ji na-akpọ ya Edọm.*)
31 Ma Jekọb zara ya, "Buru ụzọ resi m ọnọdụ ịbụ ọkpara gị."
32 Ịsọ sịrị, "Gịnị bụ uru ọnọdụ ịbụ ọkpara bara mgbe m na-anwụ n'agụụ?"
33 Jekọb sịrị ya, "Buru ụzọ ṅụọrọ m iyi." Ya mere, ọ ṅụụrụ ya iyi, sị otu a resi Jekọb
ọnọdụ ọkpara ya.
34 Mgbe ahụ, Jekọb nyere Ịsọ achịcha na ofe lentil o siri. O riri, ṅụọkwa, bilie ọtọ
pụọ.
Ya mere Ịsọ ledara ọnọdụ ịbụ ọkpara nna ya anya.

* **25:30** 25:30 Edọm pụtara uhie.

# 26

*Abimelek na Aịzik*

1 N’oge a, ụnwụ dara n’ala ahụ. Ụnwụ a dị iche n’ụnwụ mbụ nke dara n’oge
Ebraham dị ndụ. Aịzik jekwuru Abimelek* eze ndị Filistia n’obodo Gera. 2 ONYENWE
ANYỊ gosiri Aịzik onwe ya, sị, “Agakwala Ijipt; biri n’ala ahụ m sị gị biri n’ime ya.
3 Nọrọ n’ala a nwa oge nta, aga m anọnyere gị ma gọziekwa gị, n’ihi na gị na ụmụ
ụmụ gị ka m ga-enye ala ndị a niile. Aga m emezukwa iyi ahụ m ṅụrụ nye Ebraham
nna gị. 4 Aga m eme ka ụmụ ụmụ gị mụbaa, mee ka ha hie nne n’ọnụọgụgụ dịka
kpakpando dị na mbara eluigwe. Ha ka m ga-enye ala ndị a niile. Aga m esite na
mkpụrụ gị gọzie mba niile nke ụwa. 5 Ihe ndị a niile ka m ga-eme n’ihi na Ebraham
rubere isi ime ihe m gwara ya, na idebe iwu m na ụkpụrụ m, na ịdọ aka na ntị m.”
6 Ya mere, Aịzik nọgidere n’obodo Gera.

7 Mgbe ndị obodo ahụ jụrụ ya banyere nwunye ya, ọ gwara ha sị, “Ọ bụ nwanne
m nwanyị.” Ọ tụrụ ụjọ ị sị ha, “Nwunye m ka ọ bụ,” O chere n’obi ya sị, “Ndị ikom
obodo a nwere ike gbuo m n’ihi Ribeka. N’ihi na Ribeka n’onwe ya mara mma ile
anya.”

8 Mgbe Aịzik nọrọ ebe ahụ ogologo oge, Abimelek eze ndị Filistia, sitere na
oghereikuku ya lepụ anya hụ Aịzik ka ọ nọ na-egwusa Ribeka nwunye ya egwu. 9 Ya
mere, Abimelek kpọrọ Aịzik sị, “Nwunye gị ka ọ bụ n’ezie. Gịnị mere i ji gwa anyị
na ọ bụ nwanne gị nwanyị?”

Aịzik zara ya, “Ọ bụ n’ihi na m chere na-enwere ike igbu m n’ihi ya.”

10 Abimelek sịrị, “Gịnị bụ ihe a i mere anyị? Otu nwoke n’etiti anyị gaara akpọrọ
nwunye gị dinaa ya. Ị gaara esi otu a wetara anyị ikpe ọmụma.”

11 Ya mere, Abimelek nyere ndị niile ya iwu, sị ha, “Onye ọbụla metụrụ nwoke a
maọbụ nwunye ya aka, aghaghị ime ka ọ nwụọ.”

12 Aịzik kụrụ mkpụrụ ubi n’ala ahụ. N’otu afọ ahụ kwa, o si n’ala ahụ webata ihe
ubi narị okpukpu karịa nke ọ kụrụ, n’ihi na ONYENWE ANYỊ gọziri ya. 13 Nwoke a
bara ụba, ghọọ ọgaranya. Akụnụba ya gara n’ihu na-amụba, tutu ruo mgbe ọ ghọrọ
nnọọ onye ọgaranya a ma ama. 14 O nwere ọtụtụ igwe anụ ụlọ, na igwe ehi, na ndị
ikom na-ejere ya ozi. N’ihi ihe ndị a, ndị Filistia bidoro inwe anya ukwu megide ya.
15 Ndị Filistia wụjuru aja n’olulu mmiri ndị ahụ niile ndị na-ejere nna ya ozi gwuru
n’oge nna ya Ebraham dị ndụ.

16 Abimelek kpọrọ Aịzik sị ya, “Si n’ala a kwapụ gaa n’ebe ọzọ, n’ihi na ịba ụba gị
na ịdị ike gị adịla ukwuu karịa nke anyị.”

17 Ya mere Aịzik si n’ebe ahụ kwapụ, gaa maa ụlọ ikwu ya na Ndagwurugwu Gera,
biri n’ebe ahụ. 18 O gwugharịkwara olulu mmiri ndị ahụ e gwuru n’oge nna ya
Ebraham, nke ndị Filistia kpojuru aja mgbe Ebraham nwụrụ, kpọọ olulu mmiri ndị
a otu aha ahụ nna ya kpọrọ ha na mbụ.

19 Ọzọ, ndị na-ejere Aịzik ozi gwuru olulu mmiri ọhụrụ na ndagwurugwu Gera ahụ,
gwute mmiri nke si n’ala na-asọpụta. 20 Ma ndị ọzụzụ anụ ụlọ obodo Gera sesịrị ndị
ọzụzụ anụ ụlọ Aịzik okwu. Ha kwuru sị, “Mmiri a bụ nke anyị!” Nke a mere Aịzik
ji kpọọ olulu mmiri ahụ Esek, n’ihi ise okwu nke ha sesịrị ya. 21 Ha gwuru olulu
mmiri ọzọ, ma ndị ahụ bịakwara ọzọ bido ịzọ ya. N’ihi ya Aịzik kpọrọ olulu mmiri
ahụ Sitna. 22 O si n’ebe ahụ pụọ gaa n’ebe ọzọ gwuo olulu mmiri ọzọ. Ma o nweghị
ndị bịara zọọ ya. N’ihi ya ọ kpọrọ olulu mmiri ahụ Rehobọt. O kwuru sị, “Ugbu a,
ONYENWE ANYỊ enyela anyị ebe sara mbara, ebe ihe ga-anọ gaara anyị nke ọma.”

* **26:1** 26:1 Abimelek, bụ aha ndịisi na-achị obodo a na-aza. Abimelek nke anyị nụrụ ihe banyere ya n’akwụkwọ Jenesis isi 20, a nwụọlarị. Ọ nwụrụ ihe dịka iri afọ asatọ gara aga. Onye nke a bụ eze ọzọ.

[23] O sitere n’ebe ahụ kwapụ gaa Bịasheba. [24] N’abalị ahụ, ONYENWE ANYỊ mere ka
ọ hụ ya anya, sị ya, “Abụ m Chineke nna gị Ebraham. Atụla egwu, n’ihi na anọnyere
m gị, aga m agọzi gị, mụbaa ọnụọgụgụ ụmụ ụmụ gị n’ihi ohu m Ebraham.”
[25] Ya mere, o wuru ebe ịchụ aja n’ebe ahụ kpọkuo aha ONYENWE ANYỊ. Ọ makwara
ụlọ ikwu ya n’ebe ahụ. Ndị na-ejere ya ozi gwukwara olulu mmiri.

### *Ọgbụgba ndụ Aịzik na Abimelek*

[26] Abimelek na Ahuzat, onye ndụmọdụ ya, na Fikọl onyeisi ndị agha ya sitere Gera
jekwuru Aịzik. [27] Aịzik jụrụ ha sị, “Gịnị mere unu ji bịakwute m, ebe ọ bụ na unu
kpọrọ m asị, chụpụkwa m site n’etiti unu?”
[28] Ha sị, “Anyị hụrụ nke ọma na ONYENWE ANYỊ nọnyeere gị, ya mere anyị ji sị, ‘O
kwesiri ka ịñụ iyi dị n’etiti anyị na gị,’ ka anyị na gị gbaakwa ndụ [29] na ị gaghị eme
anyị ihe ọjọọ dịka anyị na-esighị mee gị ihe ọjọọ. I lezie anya nke ọma, ị ga-ahụ na
anyị meere gị ihe ọma mgbe anyị hapụrụ gị ka ị laa n’udo. Ugbu a, anyị maara na ị
bụ onye ONYENWE ANYỊ gọziri agọzi.”
[30] Aịzik meere ha mmemme nri dị ukwuu; ha riri, ṅụọkwa. [31] N’isi ụtụtụ echi ya,
ndị ikom ahụ niile ṅụrịtaara onwe ha iyi ịgba ndụ. Aịzik zilagara ha, ha hapụrụ ya
laa n’udo.
[32] N’otu ụbọchị ahụ kwa, ndị ohu Aịzik bịakwutere ya gwa ya banyere olulu mmiri
ha na-egwu, sị ya, “Anyị achọtala mmiri n’olulu ahụ anyị na-egwu.” [33] Ọ kpọrọ ya
Shiba. Ọ bụkwa nke a mere e ji akpọ obodo ahụ Bịasheba† ruo taa.

### *Ndị inyom Ịsọ lụrụ*

[34] Mgbe Ịsọ gbara iri afọ anọ, ọ lụrụ Judit nwa Beiri, onye Het. Ọ lụkwara Basemat
nwa Elọn, onye Het. [35] Ha ghọrọ Aịzik na Ribeka ihe ọnọdụ obi ilu.

## 27

[1] Mgbe Aịzik ghọrọ agadi, n’oge anya ya na-adịghị ahụzi ụzọ nke ọma, ọ kpọrọ Ịsọ
ọkpara ya, sị ya, “Nwa m nwoke.”
Ọ zara sị, “Lee m n’ebe a.”
[2] Aịzik gwara ya sị, “Ugbu a, emeela m agadi, amakwaghị m ụbọchị ọnwụ m. [3] Ya
mere, were ihe ịchụ nta gị, ụta gị na àkụ gị, gaa n’ọhịa, gbutere m anụ. [4] Siere m
nri ụtọ otu ahụ o si amasị m, butere m ya ka m rie, ka mụ onwe m gọzie gị tupu m
nwụọ.”
[5] Ma Ribeka nọ na-ege ntị mgbe Aịzik na-agwa nwa ya Ịsọ okwu. Nke mere na mgbe
Ịsọ gawara n’ọhịa ịchụ nta, [6] Ribeka gwara Jekọb nwa ya okwu sị ya, “Lee, anụrụ m
ka nna gị na-agwa nwanne gị Ịsọ okwu sị ya, [7] ‘Gaa n’ọhịa gbute anụ, siere m nri
ụtọ, ka m nọdụ n’ihu ONYENWE ANYỊ nye gị ngọzị ikpeazụ tupu m nwụọ.’ [8] Ugbu a,
nwa m nwoke, gee ntị nke ọma, mee ihe niile m gwara gị. [9] Gaa ugbu a n’igwe anụ
ụlọ wetara m ụmụ nwa ewu abụọ dị mma ka m jiri ha siere nna gị nri dị ụtọ, ụdị
ahụ na-amasị ya. [10] Ị ga-eburu ya bujere nna gị ka o rie, ka ya onwe ya gọzie gị tupu
ọ nwụọ.”
[11] Ma Jekọb gwara Ribeka nne ya okwu sị ya, “Nwanne m nwoke Ịsọ bụ onye gbara
ajị. Ahụ nke m na-akwọ mụrụmụrụ. [12] Gịnị ga-eme ma nna m metụ m aka n’ahụ?
N’ihi ya, aga m abụ onye na-aghọ ya aghụghọ, aga m esi otu a wetara onwe m ịbụ
ọnụ kama ngọzị.”
[13] Nne ya gwara ya sị, “Nwa m nwoke ka ọbụbụ ọnụ gị dakwasị m. Naanị mee ihe
m kwuru. Gaa wetara m ha.”
[14] Ya mere, ọ gara weta ha nye nne ya. O ji ha sie nri dị ụtọ, ụdị nke na-amasị nna
ya. [15] Emesịa, Ribeka chịpụtara uwe Ịsọ ọkpara ya, ndị dị mma, ndị ọ debere n’ụlọ

† **26:33** 26:33 Nke a pụtara Olulu mmiri ịñụ iyi

ya, nye ya nwa ya nta bụ Jekọb. 16 O jikwa akpụkpọ anụ ụmụ ewu nwere ajị ajị kee
Jekọb n'aka na n'akụkụ olu ya na-akwọ mụrụmụrụ.* 17 O bunyere nwa ya nwoke
Jekọb nri ahụ na-atọ ụtọ, na achịcha o mere.
18 O jekwuuru nna ya sị ya, "Nna m."
Ọ zara sị, "Ahaa, nwa m, onye ka ị bụ?"
19 Jekọb zara nna ya sị ya, "Abụ m Ịsọ, ọkpara gị. Emeela m ihe ị sị m mee. Biko
bilie ka i rie anụ m gbutere n'ọhịa, ka gị onwe gị gọzie m."
20 Ma Aịzik jụrụ nwa ya nwoke sị, "Olee otu i si chọta ya ngwangwa, nwa m?"
Jekọb zara ya sị, "Ọ bụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị mere ka ihe gaara m nke ọma."
21 Mgbe ahụ Aịzik gwara Jekọb sị, "Bịa nso ka m metụ gị aka nwa m nwoke, ka m
mata ma ị bụ Ịsọ n'eziokwu."
22 Jekọb jere nna ya Aịzik nso, onye metụrụ ya aka kwuo sị, "Olu bụ olu Jekọb ma
aka gị bụ aka Ịsọ." 23 Ọ chọpụtaghị na ọ bụ Jekọb, n'ihi na aka ya dị ajị ajị dịka nke
Ịsọ. Ya mere, ọ gọziri ya. 24 Ma ọ jụkwara ya ajụjụ ọzọ sị ya, "Ị bụ nwa m nwoke Ịsọ
n'eziokwu?"
Jekọb zara sị ya, "E, abụ m ya."
25 Mgbe ahụ, Aịzik zara sị ya, "Butere m ụfọdụ n'ime anụ ahụ i gbutere ka m rie,
nye gị ngọzị m."
Jekọb butere ya bunye ya. O riri ya. 26 Mgbe ahụ, nna ya Aịzik sịrị ya, "Bịa n'ebe
a nwa m nwoke, sutu m ọnụ."
27 Ya mere, o jekwuuru ya sutu ya ọnụ. Mgbe Aịzik nụrụ isisi uwe ya, ọ gọziri ya,
sị,

"N'ezie, isisi nwa m nwoke
dịka isisi ala ubi
nke ONYENWE ANYỊ gọziri.
28 Ka Chineke nye gị site n'igirigi nke eluigwe,
na mmanụ nke ala,
ụba nke mkpụrụ ubi na mmanya ọhụrụ
29 Ka ọtụtụ mba jeere gị ozi,
ka ndị mmadụ kpọọ isiala nye gị.
Bụrụ onye ọchịchị n'ebe ụmụnna gị nọ,
ka ụmụ nne gị mụrụ kpọọ isiala nye gị.
Ka ndị niile na-abụ gị ọnụ bụrụ ndị a bụrụ ọnụ,
ka ndị na-agọzi gị bụrụ ndị a gọziri agọzi."

### *Ịsọ arịọọ ka a gọzie ya*

30 Mgbe Aịzik gọzichara Jekọb, ka Jekọb si n'ihu ya na-apụ, lee Ịsọ ka o si ịchụ nta
na-alọbata. 31 Ya onwe ya sikwara nri na-atọ ụtọ butere nna ya. Mgbe ahụ, ọ gwara
ya sị, "Ka nna m, bilie, rie anụ nwa ya si n'ọhịa gbute, ka gị onwe gị nye m ngọzị gị."
32 Aịzik zara sị ya, "Ị bụ onye?"
Ọ zara sị, "Abụ m nwa gị nwoke Ịsọ, ọkpara gị Ịsọ."
33 Oke ahụ ọma jijiji mara Aịzik, ọ sị, "Onye kwanụ bụ onye ahụ gara gbute anụ
butere m ya? Eriri m ya tupu ị bata. Agọziri m ya. N'ezie, onye a gọziri agọzi ka ọ
ga-abụ."
34 Mgbe Ịsọ nụrụ okwu ndị a si n'ọnụ nna ya, o jiri oke olu kwaa akwa nke obi ilu
gwa nna ya sị ya, "Gọzie m, mụ onwe m, nna m."
35 Ma ọ zara sị ya, "Nwanne gị ejirila ụzọ aghụghọ bịa nara ngọzị gị."

* **27:16** 27:16 Ya bụ ebe ajị n'adịghị

36 Ịsọ kwuru sị, “E meziri kpọọ ya Jekọb,† onye aghụghọ. Lee, ọ ghọgbuola m
ugboro abụọ. Nke mbụ, ọ naara m ọnọdụ ịbụ ọkpara m, ugbu a ọ narakwala m
ngọzị m.” Ọ jụrụ ajụjụ sị, “Ọ bụ na i nweghị ngọzị ọ bụla fọdụrụ nke ị ga-agọzi m?”
37 Aịzik zara sị ya, “Emeela m ya ka ọ bụrụ onyeisi n’ebe ị nọ, mee ụmụnna ya
niile ndị na-ejere ya ozi. Enyela m ya mkpụrụ ubi niile na mmanya ọhụrụ. Gịnị ọzọ
ka m nwere ike imere gị, nwa m nwoke?”
38 Ịsọ jụrụ nna ya sị, “Nna m, ọ bụ naanị otu ngọzị ka i nwere? Gọziekwa m nna
m!” Ịsọ kwara akwa n’oke olu.
39 Nna ya Aịzik zara sị ya,
“Ebe obibi‡ gị ga-adịpụ adịpụ,
site n’ebe akụnụba nke ala dị,
site n’ebe igirigi nke eluigwe dị.
40 Nriju afọ gị ga-abụ site na mma agha,
ị ga-ejekwara nwanne gị ozi.
Ma mgbe i mesịrị nwere onwe gị,
ị ga-atọpụ agbụ ya,
site n’olu gị.”

### *Jekọb agbakwuru Leban*

41 Ịsọ buru iro n’obi megide Jekọb n’ihi ngọzị ahụ nna ya nyere ya. O kwuru n’ime
onwe ya sị, “Oge a ga-eru ụjụ n’ihi nna m na-abịa nso, n’oge ahụ aga m egbu nwanne
m Jekọb.”
42 Mgbe a gwara Ribeka ihe nwa ya nwoke nke okenye bụ Ịsọ kwuru, o ziri kpọọ
nwa ya nwoke nke nta bụ Jekọb sị ya, “Lee, Ịsọ nwanne gị na-akasị onwe ya obi
site n’echiche ọ na-eche igbu gị. 43 N’ihi nke a, nwa m nwoke, mee ihe m gwara gị,
gbapụ ọsọ ngwangwa, gbakwuru nwanne m Leban na Haran, 44 Nọdụ n’ebe ahụ ruo
mgbe iwe nwanne gị ga-adajụ. 45 Mgbe nwanne gị kwụsịrị iwe iwe megide gị, mgbe
o chefuru ihe i mere ya, aga m ezitere gị ozi ka ị lọta. N’ihi gịnị ka m ga-eji gbara
aka unu abụọ n’otu ụbọchị.”
46 Mgbe ahụ Ribeka gara gwa Aịzik sị, “Ike ịdị ndụ agwụla m n’ihi ndị inyom Het
ndị a. Ọ bụrụ na Jekọb esite n’etiti ndị inyom ala a, site n’etiti ndị inyom Het ndị a
lụọ nwunye, mara na ọnwụ ga-akara m ịdị ndụ mma.”

## 28

1 Aịzik kpọrọ Jekọb gọzie ya, nye ya iwu sị ya, “Alụla nwunye site n’ala Kenan.
2 Kama bilie gaa Padan Aram n’ụlọ nna nne gị, Betuel, lụrụ nwunye site n’ụmụ ndị
inyom Leban. 3 Ka Chineke Onye pụrụ ime ihe niile, gọzie gị, mee ka ị mịa mkpụrụ,
mụbaa, ghọọ ọtụtụ mba. 4 Ka Chineke nye gị na ụmụ ụmụ gị ngọzị ahụ o kwere
nkwa inye Ebraham. Ka i nweta ala a, nke i bi n’ime ya ugbu a dịka ọbịa, bụ ala ahụ
Chineke kwere Ebraham na nkwa inye ya.” 5 Mgbe ahụ Aịzik zipụrụ Jekọb n’ije ya, ọ
gara Padan Aram, n’ụlọ Leban nwa Betuel onye Aram, nwanne Ribeka onye bụ nne
Jekọb na Ịsọ.
6 Ịsọ hụrụ ka Aịzik siri gọzie Jekọb, ziga ya Padan Aram ka ọ gaa lụọ nwunye
n’ebe ahụ, nyekwa ya iwu mgbe ọ na-agọzi ya sị, “Alụla nwanyị na Kenan,” 7 Jekọb
rubekwara nna ya na nne ya isi gawa Padan Aram. 8 O dokwara Ịsọ anya na ndị inyom
Kenan dị njọ n’anya nna ya Aịzik. 9 N’ihi ya, Ịsọ gakwuru Ishmel lụrụ Mahalat, ada
Ishmel, nwa Ebraham, onye bụ nwanyị Nebaiot, tinyekwara ndị nwunye ọ lụrụ na
mbụ.

---

† **27:36** 27:36 Jekọb pụtara onye aghụghọ maọbụ onye na-ewere ọnọdụ onye ọzọ n’ike. ‡ **27:39** 27:39 Ala Edọm ebe ndị agbụrụ Ịsọ biri, bụ ala akọrọ, ala nkume nkume, nke na-adịghị emepụta nri nke ọma dị ka ala Kenan. Jen 36:8; 2Ez 8:20

*Nrọ Jekọb rọrọ na Betel*

10 Jekọb hapụrụ Bịasheba gawa Haran. 11 Mgbe chi na-eji, ọ kwụsịrị ebe ọ ga-anọ
zuo ike abalị. Mgbe ọ chọrọ idina ala, o weere otu n'ime nkume ndị dị n'ebe ahụ
hinye n'isi ya, dinara ala ịrahụ ụra. 12 N'abalị ahụ, ọ rọrọ nrọ, hụ mbube e ji arị elu.
E mere ka o guzo site n'ụwa ruo n'eluigwe. Ọ hụkwara ndị mmụọ ozi Chineke ka ha
si na ya na-arịgo na-arịdakwa. 13 N'elu ya, ọ hụrụ Onyenwe anyị ka o guzo, nụkwa
ka ọ na-agwa ya okwu sị, "Mụ onwe m bụ Onyenwe anyị, Chineke nna gị Ebraham,
na Chineke Aịzik. Aga m enye gị na ụmụ ụmụ gị ala ahụ nke i dina n'elu ya. 14 Ụmụ
gị ga-adị ukwuu, dị ka aja dị n'ala. Ha ga-ejupụta ala a, site n'ọwụwa anyanwụ ruo
n'ọdịda anyanwụ, sitekwa n'ugwu ruo na ndịda. A ga-esitekwa na gị na mkpụrụ gị,
gọzie mba niile nke ụwa a. 15 Anọnyeere m gị. Aga m echebe gị ebe ọbụla ị na-aga.
Aga m akpọghachite gị n'ala a. Agaghị m ahapụ gị tutu ruo mgbe m mezuoro gị ihe
niile m kwere gị na nkwa."

16 Jekọb tetara n'ụra sị, "N'ezie Onyenwe anyị nọ n'ebe a. Ma amaghị m ya." 17 Ọ
tụrụ egwu sị, "Lee ka ebe a si dị oke egwu, o nweghị ihe ebe a bụ karịa ụlọ Chineke,
n'ezie ọ bụ ọnụ ụzọ ama eluigwe."

18 N'isi ụtụtụ echi ya, Jekọb weere nkume ahụ o hinyere n'isi ya guzo ya dịka ogidi,
wụsa mmanụ n'elu ya. 19 Ọ kpọrọ ebe ahụ Betel, ọ bụ ezie na Luz bụ aha obodo ahụ
na mbụ.

20 Mgbe ahụ, Jekọb kwere nkwa sị, "Ọ bụrụ na Chineke ga-anọnyere m, chebe m
n'ije m na-eje, ọ bụrụ na ọ ga-enye m ihe oriri m ga-eri na uwe m ga-eyi, 21 m lọghachi
n'ụlọ nna m n'udo, mgbe ahụ, Onyenwe anyị ga-abụ Chineke m. 22 Nkume a m doziri
elu dịka ogidi ga-abụ ụlọ Chineke. Aga m eke ihe niile i nyere m ụzọ iri, nyeghachi
gị otu ụzọ."

# 29

*Jekọb erute n'ụlọ Leban*

1 Jekọb gara n'ihu n'ije ya rute n'ala dị n'ọwụwa anyanwụ. 2 N'Ebe Nsọ a, ọ hụrụ
otu olulu mmiri, hụkwa ụzọ igwe atụrụ atọ ndị nọ n'akụkụ olulu mmiri n'ihi na
ndị na-elekọta ha na-enye ha mmiri site n'olulu mmiri ahụ. Nkume e ji mechie ọnụ
olulu mmiri ahụ buru ibu. 3 N'ihi na mgbe igwe atụrụ niile bịazukọtara n'olulu
mmiri ahụ, ndị ọzụzụ atụrụ na-emeghepụ nkume ahụ nye ha mmiri. Emesịa, ha
na-ejikwa nkume ahụ mechie ọnụ olulu mmiri ahụ.

4 Jekọb jekwuru ndị na-elekọta atụrụ ahụ jụọ ha sị, "Ụmụnna m, ebee ka unu si?"

Ha zara sị ya, "Anyị si Haran."

5 Ọ jụrụ ha sị, "Unu maara Leban, nwa Nahọ?"

Ha zara sị, "Anyị ma ya."

6 Ọzọ Jekọb jụrụ ha sị, "Ahụ ọ dịkwa ya mma?"

Ha zara sị ya, "E, ahụ dị ya. Lee nwa ya nwanyị Rechel ka ọ chị atụrụ ya na-abịa."

7 Jekọb kwuru sị, "Lee, anyanwụ ka na-acha. O rubeghị oge e ji achịbata igwe ụmụ
anụ ụlọ. Nyenụ ha mmiri ka ha ṅụọ, ka ha laghachi gaa taa ahịhịa."

8 Ha zara sị ya, "Anyị agaghị enye ha mmiri tutu ruo mgbe igwe atụrụ niile
bịakọtara, mgbe e wepụrụ nkume e ji mechie ọnụ olulu mmiri, mgbe ahụ ka anyị
ga-enye ha mmiri."

9 Mgbe Jekọb na ndị ọzụzụ atụrụ ndị a kpụ okwu n'ọnụ, Rechel chịịrị atụrụ nna ya
bịakwute ha, n'ihi na onye ọzụzụ atụrụ nwanyị ka ọ bụ. 10 Mgbe Jekọb hụrụ Rechel
nwa Leban nwanne nne ya, hụkwa igwe atụrụ Leban, ọ meghepụrụ nkume ahụ e
ji mechie ọnụ olulu mmiri ahụ nye igwe atụrụ Leban, nwanne nne ya mmiri ka ha
ṅụọ. 11 Emesịa, Jekọb suturu Rechel ọnụ, kwaa akwa n'oke olu. 12 Jekọb kọwaara

Rechel na ọ bụ onye ikwu nna ya, bụrụkwa nwa Ribeka. N’ihi ya Rechel ji ọsọ gbalaa
n’ụlọ ha kọọrọ nna ya.
13 Mgbe Leban nụrụ maka Jekọb nwa nwanne ya nwanyị, o mere ngwangwa pụọ
izute ya. Ọ makụrụ ya, sutu ya ọnụ, kpọrọ ya laa n’ụlọ. N’ebe ahụ, Jekọb kọọrọ ya
ihe ndị a niile. 14 Leban sịrị ya, “N’ezie, ị bụ ọkpụkpụ m na anụ ahụ m.”

### *Ije ozi Jekọb n’ihi Rechel na Lịa*

Ọ nọnyeere ya otu ọnwa. 15 Leban sịrị Jekọb, “Ọ bụ n’ihi na ị bụ onye ikwu m ka
ị na-agbara m odibo n’efu? Gwa m ego ole m ga-akwụ gị n’ihi ọrụ ị na-arụrụ m?”
16 Leban mụrụ ụmụ ndị inyom abụọ. Aha nke okenye bụ Lịa. Aha nke nta bụ
Rechel. 17 Ịma mma Lịa dị ya n’anya, ma Rechel mara mma n’ahụ, maakwa mma ile
anya. 18 Ọ bụ Rechel ka Jekọb hụrụ n’anya. N’ihi ya Jekọb gwara Leban sị, “Aga m
arụrụ gị ọrụ* afọ asaa ma ọ bụrụ na ị ga-ekwe ka m lụọ Rechel.”
19 Leban zara Jekọb sị ya, “Ọ dị mma na ị lụrụ Rechel karịa na onye ọzọ ga-alụ ya.
Soro m nọdụ n’ebe a.” 20 Ya mere Jekọb gbara odibo afọ asaa maka Rechel. Ma afọ
asaa ndị a dịka abalị ole na ole n’anya Jekọb n’ihi ịhụnanya o nwere n’ebe Rechel
nọ.
21 Jekọb gwara Leban, okwu sị ya, “Kpọnye m nwunye m n’ihi n’ụbọchị m ezuola.
Achọrọ m ịbakwuru ya.”
22 Leban kpọkọtara ndị niile bi n’ebe ahụ mere ha n’oke oriri. 23 †N’anyasị ụbọchị
ahụ, Leban kpọọrọ nwa ya nwanyị bụ Lịa kpọbara Jekọb, ọ bakwuuru ya. 24 Leban
nyekwara Lịa odibo ya, Zilpa, ka ọ bụrụ odibo nwanyị ya.
25 Mgbe chi bọrọ, Jekọb hụrụ na ọ bụ Lịa ka Leban kpọnyere ya. Jekọb sịrị Leban,
“Gịnị bụ ihe a i mere m? Ọ bụghị n’ihi Rechel ka m ji gbaara gị odibo? Gịnị mere i
ji ghọgbuo m?”
26 Leban zara sị ya, “Ọ bụghị omenaala anyị ibu ụzọ kee nwantakịrị nwanyị nke
nta di tupu nke ada. 27 Otu ọ dị, chere ka mmemme izu ụka nke onye nke a gafee.
Mgbe ahụ, aga m akpọnyekwa gị onye nke ọzọ a maka odibo ị ga-agbara m afọ asaa
ọzọ.”
28 Jekọb mere ka o si kwuo. O debezuru mmemme otu izu ụka onye nke a, Leban
kpọnyere ya nwa ya Rechel ka ọ bụrụ nwunye ya. 29 Leban nyere nwa ya nwanyị,
Rechel, odibo ya nwanyị bụ Bilha, ka ọ bụrụ odibo ya. 30 Jekọb bakwukwara Rechel.
Ọ hụrụ Rechel n’anya nke ukwuu karịa Lịa. Ọ gbakwaara Leban odibo afọ asaa ọzọ.

### *Ụmụ Jekọb*

31 Mgbe Onyenwe anyị hụrụ na Lịa bụ nwanyị a kpọrọ asị, o meghere akpanwa
ya, ma Rechel bụ nwanyị aga. 32 Lịa tụrụ ime mụọ nwa nwoke, kpọọ ya Ruben. N’ihi
na o kwuru sị, “Ọ bụ n’ihi na Onyenwe anyị ahụla nsogbu m, ugbu a di m ga-ahụ m
n’anya.”
33 Ọ tụụrụ ime ọzọ mụọkwa nwa nwoke. O kwuru sị, “Onyenwe anyị anụla na m
bụ nwanyị a kpọrọ asị, ọ bụ ya mere o ji nye m nwa nwoke ọzọ.” Ya mere ọ kpọrọ
aha ya Simiọn.
34 Lịa tụrụ ime ọzọ, mgbe ọ mụrụ nwa nwoke, o kwuru sị, “N’ezie, ugbu a ka di m
ga-arapara m n’ahụ, n’ihi na amụọrala m ya ụmụ ndị ikom atọ.” Ya mere ọ kpọrọ
aha ya Livayị.
35 Ọ tụụrụ ime ọzọ mụọ nwa nwoke. O kwuru sị, “Ugbu a aga m eto Onyenwe
anyị.” Ya mere, ọ kpọrọ aha ya Juda. Lịa mụsịrị nwa a kwụsị ịmụ ụmụ.

* **29:18** 29:18 Onye ọbụla chọrọ ịlụ nwanyị na-akwụ nna nwaagbọghọ ahụ ego akụ, n’isi ya. Jen 34:12 Ma ọ bụrụ na o nweghị ego ịkwụ ego akụ, ọ ga-arụrụ nna nwanyị ahụ ọrụ rụzuo ego ole, maọbụ afọ ole rụrụ ihe o kwesiri ịkwụ dịka ego akụ, n’isi onye ahụ. † **29:23** 29:23 Ụmụ nwanyị a lụrụ alụ na-eji akwa mkpudo kpuchie ihu ha. Jen 24:65

# 30

1 Rechel hụrụ na ya amụghị nwa ọbụla nye Jekọb, o kworo ekworo megide nwanne
ya nwanyị. Ya mere, ọ sịrị Jekọb, “Nye m ụmụ. Ọ bụrụ na i meghị otu a, aga m anwụ.”
2 Jekọb were iwe megide Rechel, sị ya, “Abụ m Chineke onye gbochiri gị mkpụrụ
nke afọ?”
3 *Mgbe ahụ Rechel gwara Jekọb sị ya, “Lee odibo m nwanyị Bilha, bakwuru ya ka
ọ mụọ nwa n’ikpere m abụọ, ka mụ onwe m site na ya bụrụkwa onye mụtara ụmụ.”
4 Rechel nyere Jekọb Bilha, odibo nwanyị ya, Jekọb bakwuuru ya. 5 Bilha tụụrụ ime
mụọra Jekọb nwa nwoke. 6 Nke a mere ka Rechel kwuo sị, “Chineke ekpepụtala m.
Ọ nụla arịrịọ m nye m nwa nwoke.” N’ihi nke a, Rechel gụrụ nwa ahụ Dan.
7 Bilha, odibo nwanyị Rechel, tụụrụ ime ọzọ mụtara Jekọb nwa nwoke nke abụọ.
8 Rechel kwuru sị, “Mgba dị ukwuu ka mụ na nwanne m nwanyị gbara, m merie.” Ọ
kpọọ ya Naftalị.
9 Lịa hụrụ na ya akwụsịla ịmụ nwa, ọ kpọọrọ Zilpa, odibo ya nwanyị kpọnye Jekọb
ka ọ bụrụ nwunye ya. 10 Zilpa, odibo nwanyị Lịa, mụtara Jekọb nwa nwoke. 11 Mgbe
nke a mere, Lịa kwuru sị, “Nke a bụ ihuọma.” Ọ kpọrọ nwa ahụ Gad.
12 Zilpa, odibo nwanyị Lịa mụtaara Jekọb nwa nwoke nke abụọ. 13 Mgbe ahụ Lịa
kwuru sị, “Ọṅụ ejula m obi, n’ihi na ụmụ nwanyị ibe m ga-akpọ m onye ihe na-agara
nke ọma.” Lịa kpọrọ nwantakịrị nwoke ahụ Asha.
14 Otu ụbọchị, n’oge a na-aghọ ọka wiiti, Ruben nwa Lịa, gara n’ọhịa hụ ahịhịa
a na-akpọ mandreki.† Ọ kụtaara nne ya ụfọdụ n’ime ahịhịa a. Mgbe Rechel hụrụ
ahịhịa a, ọ rịọrọ Lịa sị ya, “Biko nyetụ m ụfọdụ n’ime mandreki ndị a nwa gị nwoke
kụtara.”
15 Ma Lịa zara sị ya, “O zubeere gị na ị napụrụ m di m? Ị chọkwara ịnapụ m
mandreki ndị a nwa m nwoke wetaara m?”
Rechel zara Lịa sị, “Ọ dị mma, ka gị na ya dinaa n’abalị a ka ọ bụrụ ihe mgbanwo
maka mandreki nwa gị nwoke.”
16 Ya mere, mgbe Jekọb si n’ọhịa na-alọbata n’uhuruchi ụbọchị ahụ, Lịa pụrụ izute
ya, sị ya, “Ị ga-abakwute m n’ihi na m ejirila m ahịhịa mandreki nwa m nwoke m
zụta gị.” Ha dinara n’abalị ahụ.
17 Chineke nụrụ olu Lịa, ọ tụụrụ ime mụtara Jekọb nwa nwoke nke ise. 18 Lịa sịrị,
“Chineke akwụọla m ụgwọ maka odibo m nwanyị m nyere di m.” Ya mere ọ kpọrọ
aha ya Isaka.
19 Lịa tụkwaara ime ọzọ mụtara Jekọb nwa nwoke nke isii. 20 Ugbu a Lịa kwuru
sị, “Chineke enyela m ezi onyinye dị oke ọnụ. Ugbu a, di m ga-eji nkwanye ugwu leta
m n’ihi na amụọrala m ya ụmụ ndị ikom isii.” Ọ kpọrọ aha ya Zebụlọn.
21 Emesịa, Lịa mụrụ nwa nwanyị, kpọọ ya Daịna.
22 Chineke chetara Rechel. Ọ nụrụ olu ya, meghee akpanwa ya. 23 N’ihi ya, Rechel
tụụrụ ime mụta nwa nwoke. Ọ sịrị, “Chineke ewepụla nkọcha dịịrị m.” 24 Rechel
kpọrọ aha ya Josef, dị ka ọ sịrị, “Ka ONYENWE ANYỊ nyekwa m nwa nwoke ọzọ.”

### *Nkwekọrịta Jekọb na Leban*

25 Mgbe Rechel mụsịrị Josef, Jekọb jekwuru Leban sị ya, “Zilaga m ka m laghachi
n’ebe m na ala nke m. 26 Kpọnye m ndị nwunye m, ndị m ji n’ihi ha gbara gị odibo,
ha na ụmụ m, ka m lakwaa. Ị maara otu m siri gbaara gị odibo. Kpọnye m ha ka m
duru ha laghachi ebe m si bịa.”

---

* **30:3** 30:3 Anyị hụrụ na omenaala a bụ nke sitere n’ala ndị si n’akụkụ ọwụwa anyanwụ, n’ụlọ Ebraham. Jen 16:2 Ugbu a, Jekọb na-eme otu ihe ahụ. † **30:14** 30:14 Mandreki, bụ ahịhịa nke ụmụ mmadụ na-asị, na o nwere ọgwụ na-eweta mkpali ọchịchọ mmekọrịta n’ahụ mmadụ, na-emekwa ka nwanyị ọbụla tara ya tụrụ ime. Abk 7:13

27 Leban sịrị Jekọb, “Ọ bụrụ na m achọtala amara n’ihu gị biko nọdụ, n’ihi na esi
m n’ịgba afa chọpụta na ONYENWE ANYỊ agọziela m n’ihi gị.” 28 Leban sịrị, “Kwuo
ego ole ị chọrọ ka m kwụọ gị, aga m akwụ ya.”
29 Jekọb zara sị Leban, “Gị onwe gị maara otu m si gbara gị odibo na ihe mere igwe
anụ ụlọ gị ndị m lekọtara. 30 N’ihi na ole na ole ka i nwere mgbe m bịara, ma ugbu
a, ha abaala ụba nke ukwuu. ONYENWE ANYỊ esitela n’ụkwụ m gọzie gị. Ugbu a, kedụ
mgbe m ga-arụkwanụ ọrụ nke mụ onwe m maka ezinaụlọ m?”
31 Leban jụrụ Jekọb sị, “Kedụ ihe m ga-enye gị?”
Jekọb gwara ya sị, “Enyela m ihe ọbụla, kama o nwere otu ihe m chọrọ ka i mee.
Ọ bụrụ na i mee ya, aga m alaghachi ilekọta igwe anụ ụlọ gị. 32 Kwere ka m jegharịa
n’etiti igwe anụ ụlọ gị, ka m họpụta site n’etiti igwe atụrụ gị ndị niile tụrụ agwa agwa,
na ụmụ atụrụ niile dị oji, na ewu niile tụrụ agwa agwa. Atụrụ na ewu ndị a niile m
ga-ahọpụta ga-abụ ụgwọ ọrụ m. 33 Ezi omume m ga-azara n’ọdịnihu, mgbe ọbụla ị
bịara nyochaa ụgwọ ọrụ ị kwụrụ m. Ewu ọbụla na-atụghị agwa agwa, maọbụ atụrụ
ọbụla na-ejighị oji ị chọpụtara n’etiti igwe ewu na atụrụ nke m ka a ga-agụ dị ka ihe
e zuru n’ohi.”
34 Leban zara sị ya, “Ọ dị mma. Ya dịrị dịka i kwuru.” 35 N’otu ụbọchị ahụ, ọ
họpụtachara mkpi niile tụrụ agwa maọbụ ntụpọ na nne ewu niile ndị nwere tụrụ
agwa maọbụ ntụpọ na nke ọbụla nwere ajị ọcha n’ahụ ya. Ọ họpụtakwara atụrụ
ojii niile, nyefee ha n’aka ụmụ ya ka ha lekọtaa ha. 36 Leban jere ije abalị atọ nke
kewapụrụ ha site n’ebe Jekọb nọ. Ma Jekọb nọgidere na-elekọta igwe anụ ụlọ Leban
ndị ọzọ.
37 Mgbe ahụ Jekọb gara gbute ngalaba osisi pọpla, na osisi alụmọnd, na osisi plenụ,
kpechapụ ahụ agbụgbọ osisi ndị a, si otu a mee ka ime ime ngalaba osisi ndị a dị
ọcha pụta ìhè. 38 Ọ tọgbọrọ osisi ndị a o kpechapụtara n’ebe ewu na atụrụ ndị a
na-aṅụ mmiri, ka ha cherịta ịhụ ebe igwe anụ ụlọ ndị a nọ mgbe ọbụla ha na-aṅụ
mmiri. Nke a mere mgbe igwe anụ ụlọ ndị a na-enwe ekpomọkụ nke ịgba ibe ha,
n’oge ha bịara ịṅụ mmiri, 39 ọ bụ n’ihu ngalaba osisi ndị a ka ha na-anọ na-agba
onwe ha. Mgbe anụ ụlọ ndị a mụrụ ụmụ, ahụ ụmụ ha na-atụ agwa agwa maọbụ nwe
ntụpọ. 40 Jekọb na-edo ụmụ igwe ewu na atụrụ ndị a n’otu akụkụ, ma ọ na-eme ka
anụ ụlọ ndị ọzọ chee ihu ha n’anụ ụlọ Leban ndị tụrụ agwa agwa, maọbụ na-eji oji.
N’ụzọ dị otu a, ọ kewapụtaara onwe ya anụ ụlọ nke ya. O tinyekọtaghị ha n’anụ
ụlọ Leban. 41 Mgbe ọbụla nne anụ ụlọ ndị ahụ siri ike nọ n’ọnọdụ ịtụrụ ime, Jekọb
na-edobe ngalaba osisi ndị ahụ n’akụkụ ebe ha na-aṅụ mmiri n’ihu ha, ka ha nọrọ
n’ebe ahụ gbaa onwe ha. 42 Ma ọ bụrụ na anụ ụlọ ndị ahụ adịghị ike, Jekọb anaghị
edebe osisi ndị a n’ihu ha. Ya mere, igwe ewu na atụrụ ndị na-esighị ike gaara Leban.
Ma ndị siri ike gaara Jekọb. 43 Site n’ụzọ dị otu a, Jekọb ghọrọ onye nwere akụ hie
nne. O nwekwara ọtụtụ igwe anụ ụlọ na ọtụtụ ndị na-ejere ya ozi nwoke na nwanyị,
na ọtụtụ ịnyịnya kamel, na ọtụtụ ịnyịnya ibu ndị ọzọ.

# 31

*Jekọb ahapụ Padan Aram*

1 Jekọb nụrụ na ụmụ ndị ikom Leban na-asị, “Jekọb ewerechaala ihe niile nna anyị
nwere. O sitere n’ihe nna anyị nwere kpata akụnụba ya niile.” 2 Jekọb hụkwara na
omume Leban n’ebe ọ nọ adịghịkwa otu ọ dị na mbụ.
3 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị Jekọb, “Laghachi n’ala nna gị ha, lakwuru ụmụnna
gị, aga m anọnyere gị.”
4 Ya mere, Jekọb ziri Rechel na Lịa ozi ka ha bịakwute ya n’ọhịa ebe ọ nọ na-elekọta
igwe anụ ụlọ ya. 5 Ọ sịrị ha, “Ahụla m na omume nna unu n’ebe m nọ adịghịkwa
otu ọ dị na mbụ. Ma Chineke nna m ha nọnyeere m. 6 Unu maara na eji m ike m

niile rụọra nna unu ọrụ. [7] Ma nna unu ghọgburu m, gbanwee ụgwọ ọrụ m ugboro
iri. Otu ọ dị, Chineke ekweghị ka nna unu merụọ m ahụ. [8] Ọ bụrụ na ọ sị, 'Ndị tụrụ
agwa agwa ga-abụ ụgwọ ọrụ gị,' mgbe ahụ, igwe anụ ụlọ niile na-amụ ụmụ na-abụ
ndị tụrụ agwa. Ma ọ bụrụ na ọ sị, 'Ndị niile nwere ntụpọ ga-abụ ụgwọ ọrụ gị,' mgbe
ahụ, igwe anụ ụlọ niile na-amụ ụmụ na-enwe ntụpọ ọcha n'ahụ ha. [9] Chineke napụrụ
nna unu anụ ụlọ ya ma nye m ha.

[10] "N'oge ụmụ anụ ụlọ ji atụ ime, eweliri m anya hụ na nrọ na ụmụ mkpi niile
na-agba igwe nne ewu bụ ụmụ mkpi ndị tụrụ agwa agwa, ndị nwere akara maọbụ
ndị nwere ntụpọ ọcha n'ahụ ha. [11] Mgbe ahụ, mmụọ ozi Chineke sịrị m na nrọ,
'Jekọb.' Azara m sị, 'Lee m n'ebe a.' [12] Ọ sịrị m, 'Lelie anya gị elu, lee ka ị hụ na
mkpi niile na-agba igwe nne ewu ndị a bụ mkpi ndị ahụ tụrụ agwa agwa, ndị nwere
akara maọbụ ndị nwere ntụpọ ọcha. N'ihi na ahụla m ihe niile Leban na-eme gị.
[13] Mụ onwe m bụ Chineke nke Betel, ebe ị wụkwasịrị mmanụ n'ogidi nkume ahụ,
ebe ị kwekwara m nkwa. Ugbu a, kulie, hapụ obodo a, laghachi n'ala a nọ mụọ gị.' "

[14] Rechel na Lịa zara sị ya, "Anyị ka nwere oke n'ihe nketa n'ụlọ nna anyị? [15] Ọ
bụghị dịka ndị ọbịa ka ọ gụnyeziri anyị? N'ihi na o reela anyị, ripịakwa ụgwọ isi
anyị. [16] N'ezie, akụ ndị ahụ Chineke napụrụ nna anyị bụ nke anyị na nke ụmụ anyị.
Ya mere, mee ihe ọbụla Chineke sị gị mee."

[17] Jekọb biliri, kukwasị ụmụ ya na ndị nwunye ya n'elu ịnyịnya kamel, [18] duru igwe
anụ ụlọ ya niile, na ihe ọ kpatara na Padan Aram, lakwuru nna ya Aịzik n'ala Kenan.

[19] Ka Leban gara ịkpachapụ ajị ụmụ atụrụ ya, Rechel zuuru arụsị ezinaụlọ nna ya.
[20] Jekọb ghọkwara Leban onye Aram aghụghọ n'ihi na ọ gwaghị ya na ọ na-agbapụ
ọsọ. [21] Ya mere, o buru ihe niile o nwere gbapụ ọsọ, gbafee iyi ukwu Yufretis, chee
ihu n'ala ugwu ugwu Gilead.

### *Leban achụso Jekọb ọsọ*

[22] Abalị atọ agafeelarị tupu a gwa Leban na Jekọb agbalaala. [23] O duuru ndị ikwu
ya chụọ Jekọb ọsọ abalị asaa tupu ọ chụkwute ya n'ala ugwu ugwu Gilead. [24] Ma
Chineke bịakwutere Leban onye Aram na nrọ n'abalị sị ya, "Kpachapụ anya gị, hụ
na o nweghị ihe ị gwara Jekọb, maọbụ okwu dị mma, maọbụ nke dị njọ."

[25] Jekọb amaala ụlọ ikwu ya n'ala ugwu Gilead mgbe Leban chụkwutere ya. Leban
na ndị ikwu ya makwara ụlọ ikwu nke ha n'ebe ahụ. [26] Leban sịrị Jekọb, "Gịnị bụ
ihe a i mere? Ị ghọgbuola m. I burula ụmụ m ndị inyom dịka ndị a dọtara n'agha?
[27] Gịnị mere i ji ghọgbuo m, zoro ezo gbapụ? Gịnị mere ị gwaghị m ka m jiri ọṅụ na
ịbụ abụ nke ya na ịkpọ ụbọ akwara na iti ịgba so, zilaga gị? [28] Gịnị mere i nyeghị m
ohere ka m sutu ụmụ ụmụ m na ụmụ m ndị inyom ọnụ sị ha laa nke ọma? Omume
a i mere bụ omume nzuzu. [29] Enwere m ike merụọ gị ahụ ugbu a, ma Chineke nke
nna gị mere ka m hụ ya anya na nrọ n'abalị gara aga. Ọ dọrọ m aka na ntị sị m,
'Kpachapụ anya gị hụ na o nweghị ihe ị gwara Jekọb, maọbụ okwu dị mma, maọbụ
nke dị njọ.' [30] Ugbu a, ị na-ala n'ihi na ọ gụrụ gị agụụ ịlaghachi n'ụlọ nna gị, ma gịnị
mere i ji zuru chi m?"

[31] Jekọb zara sị Leban, "N'ihi na m tụrụ egwu, n'ihi na m chere sị na ị ga-eji ike
napụ m ụmụ gị ndị inyom a. [32] Ma ọ bụrụ na ị chọta onye ọbụla ji chi gị ndị a, onye
ahụ ga-anwụ. N'ihu ndị ikwu gị ndị a, chọgharịa n'onwe gị, lee ma ị ga-achọta ihe
ọbụla bụ nke gị dị m n'aka. Ọ bụrụ na ị chọta ya, were ya." Ma Jekọb amaghị na
Rechel zuuru chi ndị ahụ.

[33] Ya mere, Leban bara n'ụlọ ikwu Jekọb, na n'ime ụlọ ikwu Lịa, na n'ime ụlọ ikwu
ndị odibo nwanyị abụọ ya, ma o nweghị ihe ọ chọtara. O sitere n'ụlọ ikwu Lịa pụta
baa n'ụlọ ikwu Rechel. [34] N'oge a, Rechel ewerela arụsị ezinaụlọ ndị ahụ tinye ha

n’ime akwa e ji anọkwasị n’elu ịnyịnya kamel nọdụ ọdụ n’elu ya. Leban chọgharịrị
ebe niile n’ime ụlọ ikwu ahụ ma ọ chọtaghị arụsị ezinaụlọ ndị ahụ.

35 Mgbe ahụ, Rechel gwara nna ya Leban sị, “Biko, ewela iwe nna m ukwu, n’ihi
na enweghị m ike ibili ọtọ n’ihu gị. Anọ m n’ọnọdụ ndị inyom na-anọ kwa ọnwa.”
Leban chọgharịrị ebe niile, ma ọ hụghị arụsị ezinaụlọ ndị ahụ.

36 Iwe were Jekọb megide Leban. O ji iwe jụọ Leban sị, “Gịnị bụ njehie m? Gịnị bụ
mmehie m mere i ji si otu a na-achụsi m ike? 37 Ugbu a, ị chọgharịala n’ibu m niile,
gịnị ka ị chọtara bụ nke gị? Wepụta ya n’ihu ndị ikwu gị na n’ihu ndị nke m, ka ha
kpeere mụ na gị ikpe.

38 “Iri afọ abụọ ka mụ na gị nọrọ. O nweghị mgbe ime pụrụ ụmụ ewu na atụrụ
gị; o nwekwaghị mgbe m riri ebule si n’igwe anụ ụlọ gị. 39 *O nweghị mgbe m
welataara gị anụ ụlọ nke anụ ọhịa dọgburu, kama akwụrụ m ụgwọ ha. I mekwara
ka m kwụghachi gị anụ ụlọ ọbụla e zuru n’ohi, maọbụ n’ehihie, maọbụ n’abalị.
40 N’ime oke anwụ nke ehihie ka m rụụrụ gị ọrụ. Rụọkwara gị ọrụ n’oge oyi na-atụ,
n’abalị ụra sikwa n’anya m pụọ. 41 Otu a ka ọ dịrị m iri afọ abụọ m jeere gị ozi. Arụrụ
m gị ọrụ afọ iri na anọ maka ụmụ gị ndị inyom abụọ ndị a, afọ isii ka m lekọtara
igwe ewu na atụrụ gị. Ị nọkwa n’ime ihe ndị a gbanwee ụgwọ ọrụ m ugboro iri. 42 A
sị na Chineke m, Chineke Ebraham, onye ahụ a na-atụ egwu nke Aịzik, anọnyereghị
m, ị gaara ezilaga m n’aka efu, agaara m agbara aka laa. Ma Chineke ahụla ịrụsị ọrụ
ike m, na nhụju anya m niile, ọ bụ ya mere o ji baara gị mba n’abalị gara aga.”

43 Mgbe ahụ Leban zaghachiri sị Jekọb, “Ndị inyom ndị a bụ ụmụ m. Ụmụaka ndị
a bụ ụmụ m. Igwe anụ ụlọ ndị a bụ nke m. Ihe ndị a niile ị na-ahụ anya bụ nke m.
Olee otu m ga-esi merụọ ụmụ m, na ụmụ ụmụ m ahụ? 44 Ugbu a, bịa ka anyị gbaa
ndụ mụ na gị, ka ọ bụrụ ihe ama n’etiti anyị.”

45 Ya mere, Jekọb weere otu nkume guzo ya ọtọ dịka ogidi. 46 Jekọb gwakwara ndị
so ya sị ha, “Tụtụkọta nkume.” Ha tụtụkọtara nkume wụsa ha n’otu ebe mee ka ọ
laa elu. Emesịa, ha nọdụrụ n’akụkụ nkume ndị ahụ rie nri.† 47 Leban kpọrọ nkume
ndị ahụ Jega-Sahaduta, n’asụsụ nke ya. Jekọb kpọrọ ya Galeed, n’asụsụ nke ya.

48 Emesịa, Leban sịrị, “Ka nkume ndị a bụrụ ihe ama n’etiti mụ na gị taa.” Nke a
mere e ji kpọọ ya Galeed. 49 A kpọkwara ya Mizpa, n’ihi na Leban sịrị, “Ka ONYENWE
ANYỊ bụrụ onye ga-eche mụ na gị nche ịhụ na onye ọbụla n’ime anyị debere ọgbụgba
ndụ a, mgbe anyị na-anọghị ibe anyị nso. 50 Ọ bụrụ na i mee ụmụ m ndị inyom ihe
ọjọọ, maọbụ lụọ ndị inyom ndị ọzọ tinyere ha, o nweghị onye n’ime anyị ga-amata,
ma cheta na Chineke ga-abụ onyeama n’etiti mụ na gị.”

51 Leban gwakwara Jekọb sị, “Lee nkume ndị a a wụsara n’ebe a na ogidi m mere
ka o guzo n’etiti mụ na gị. 52 Nkume ndị a a wụsara bụ akaebe, ogidi a bụkwa ihe
ama. Agaghị m agabiga nkume ndị a a wụsara gafeeta n’akụkụ nke gị ime gị ihe
ọjọọ. Gị onwe gị agaghị agabiga nkume ndị a a wụsara na ogidi a gafeeta n’akụkụ
nke m ime m ihe ọjọọ. 53 Ka Chineke Ebraham na Chineke Nahọ,‡ Chineke nna ha,
bụrụ onye ikpe n’etiti mụ na gị.”

Ya mere Jekọb ji onye ahụ a na-atụ egwu nke nna ya Aịzik ṅụọ iyi. 54 Ọ chụrụ aja
n’ala ugwu ugwu ahụ, kpọọ ndị ikwu ya niile oriri. Mgbe ha richara nri, ha rahụrụ
ụra n’ebe ahụ.

* **31:39** 31:39 Ọ bụrụ na anụ ọhịa adọgbuo atụrụ e nyere onye ọzụzụ atụrụ ka o lekọta, onye ọzụzụ atụrụ ahụ ga-eweta ụfọdụ n’ime anụ ahụ a dọgburu adọgbu, iji gosi ihe mere. Mgbe ahụ, o nweghị onye ọbụla ga-asị ya kwụọ ụgwọ ọbụla, n’ihi anụ ụlọ ahụ nwụrụ anwụ. Ọpụ 22:13 † **31:46** 31:46 Oge ọbụla mmadụ na ibe ya gbara ndụ, ha na-eri nri a na-akpọ, nri ọgbụgba ndụ iji mesie ọgbụgba ndụ ahụ ike. ‡ **31:53** 31:53 Nahọ bụ nwanne Ebraham, Jen 11:26; 22:20 bụrụkwa nna nna Leban. Jen 24:24,29 Leban bụ nwoke na-efe ọtụtụ chi. Jen 31:19

55 N’isi ụtụtụ echi ya, Leban biliri sutu ụmụ ya ndị inyom na ụmụ ụmụ ya ọnụ. Ọ
gọziri ha, hapụ ha laghachi ụlọ ha.

# 32

*Jekọb akwadobe maka izute Ịsọ*

1 Jekọb n’onwe ya hapụrụ gawa n’ihu n’ije ya. Ndị mmụọ ozi Chineke zutere ya
n’ụzọ. 2 Mgbe Jekọb hụrụ ha, o kwuru sị, “Ebe a bụ ụlọ ikwu Chineke!” Ọ kpọrọ ebe
ahụ, Mahanaim.
3 Mgbe ahụ, Jekọb zipụrụ ndị ozi ka ha jee hụ Ịsọ nwanne ya nwoke n’ala Sia,*
n’obodo Edọm. 4 O ziri ha ozi sị, “Ihe a bụ ihe unu ga-agwa nna m ukwu Ịsọ, ‘Odibo
gị Jekọb kwuru sị, Ọ bụ na nke Leban ka m jere kemgbe, ọ bụkwa ebe ahụ ka m nọ
ruo ugbu a. 5 Enwere m ọtụtụ ehi, na ịnyịnya ibu, na igwe atụrụ na ewu, na ndị
odibo ndị nwoke na ndị nwanyị. Ana m ezigara onyenwe m ozi a ka m nata ihuọma
n’ebe ọ nọ.’ ”
6 Mgbe ndị ozi ahụ lọghachikwutere Jekọb, ha gwara ya sị ya, “Anyị jekwuru
nwanne gị nwoke Ịsọ dị ka i ziri anyị. Ugbu a, ọ na-abịa. Ọ chị narị ndị ikom anọ
na-abịa izute gị.”
7 Ụjọ tụrụ Jekọb nke ukwuu, obi ya jupụtakwara na nsogbu. N’ihi nke a, o kewara
ndị niile so ya ụzọ abụọ, tinyere anụ ụlọ ya, na igwe ehi ya na ịnyịnya kamel ya. 8 O
chere n’obi ya sị, “Ọ bụrụ na Ịsọ alụso otu n’ime ụzọ abụọ a ọgụ, otu ụzọ fọdụrụ
ga-enwe ike gbalaga.”
9 Mgbe ahụ, Jekọb kpere ekpere sị, “Chineke nke nna m Ebraham, Chineke nke nna
m Aịzik, ONYENWE ANYỊ, gị onye gwara m sị, ‘Laghachi n’ala gị na n’ebe ụmụnna
gị nọ, aga m eme ka ihe gaara gị nke ọma.’ 10 Ekwesighị m obi ebere na ikwesi
ntụkwasị obi nke i gosiri ohu gị. Mgbe m gabigara Jọdan a, enweghị m ihe ọbụla
karịa mkpanaka m, ma ugbu a, abụ m ọmụma ụlọ ikwu abụọ. 11 Zọpụta m, arịọ m gị,
site n’aka nwanne m Ịsọ, n’ihi na egwu na-atụ m na ọ ga-abịa lụso m agha, lụsokwa
ndị nne a na ụmụntakịrị ha agha. 12 Ọ bụ gị kwuru sị, ‘Aga m eme ka ihe gaara gị nke
ọma, meekwa ka ụmụ ụmụ gị dịrị ka aja nke dị n’ọnụ osimiri, nke mmadụ na-apụghị
ịgụta ọnụ.’ ”
13 Jekọb rahụrụ n’ebe ahụ n’abalị ahụ. Site n’ihe niile o nwere, ọ họpụtara onyinye
ọ ga-enye nwanne ya Ịsọ. 14 Ọ kwadoro inye ya: narị nne ewu abụọ (200), iri mkpi
abụọ (20), narị nne atụrụ abụọ (200), iri ebule abụọ (20) 15 Iri nne ịnyịnya kamel atọ
(30) na ụmụ ha, na iri nne ehi anọ (40), oke ehi iri (10), iri nne ịnyịnya ibu abụọ (20),
oke ịnyịnya ibu iri (10). 16 O weere onyinye ndị a niile nyefee n’aka ndị ozi ya n’usoro
dịka ụdị ha si dị. Ọ gwara ndị na-ejere ya ozi sị ha, “Burunu ụzọ na-aga, meenụ ka
ohere dị n’etiti igwe anụ na igwe ibe ya.”
17 O nyere onye mbụ iwu sị ha, “Mgbe Ịsọ nwanne m zutere unu jụọ unu ajụjụ sị,
‘Onye bụ nna unu ukwu? Ebee ka unu na-aga? Onye nwe anụ ụlọ ndị a niile unu
chị na-aga?’ 18 Unu ga-aza sị ya, ‘Anụ ụlọ ndị a bụ nke ohu gị Jekọb. Ha bụ onyinye
e zitere onyenwe m Ịsọ, lee ka ọ na-abịa n’azụ anyị.’ ”
19 Otu ozi ahụ ka Jekọb ziri onye nke abụọ na onye nke atọ, na ndị ọzọ niile chị
igwe anụ ụlọ, sị ha, “Unu ga-agwa Ịsọ otu ihe ahụ mgbe unu zutere ya. 20 Hụkwanụ
na unu gwara ya sị, ‘Ohu gị Jekọb nọ n’azụ anyị.’ ” Echiche ya bụ, “Aga m eji onyinye
ndị a niile m na-ezipụrụ ya mee ka obi ya dajụọ, nke ọ ga-abụ mgbe mụ na ya zutere,
ma eleghị anya, ọ ga-anabata m.” 21 Mgbe o zipụchasịrị onyinye ndị ahụ niile, Jekọb
rahụrụ ụra n’ụlọ ikwu ya n’abalị ahụ.

* **32:3** 32:3 Ala Sịa nke dị nso iyi Jabọk, ga-emesịa bụrụ ala dị mkpa n’oge ọchịchị eze Devid na Solomọn. Jen 14:6; 33:14,16

### *Mgba Jekọb na Chineke gbara*

22 N’abalị ahụ, Jekọb biliri duru ndị nwunye ya abụọ na ndị odibo nwanyị ya abụọ,
na ụmụ ya iri na otu, site n’ebe na-adịghị omimi nke iyi Jabọk kpọfee ha. 23 Mgbe
ọ kpọfechara ha, o bufekwara ihe niile o nwere. 24 Emesịa, Jekọb lọghachiri nọdụ
naanị ya. Mgbe ahụ, otu nwoke bịara gbaso ya mgba. Ha abụọ gbagidere mgba a
tutu chi ebido ịbọ. 25 Mgbe nwoke ahụ hụrụ na ọ pụghị imeri Jekọb na mgba ahụ,
o tiri Jekọb aka n’ọkpụ, mee ka ọkpụ ya hịkwapụ site n’ọnọdụ ya. 26 Mgbe nke a
mesịrị, nwoke ahụ gwara Jekọb sị ya: “Hapụ m aka ka m laa, n’ihi na chi ebidola
ịbọ.”
Ma Jekọb zara sị ya, “Ọ bụ naanị mgbe ị gọziri m ka m ga-ahapụ gị ka ị laa.”
27 Mgbe ahụ nwoke ahụ jụrụ Jekọb ajụjụ sị ya, “Gịnị bụ aha gị?”
Ọ zara sị, “Aha m bụ Jekọb.”
28 Nwoke ahụ zara sị ya, “Aha gị agaghị abụkwa Jekọb, kama ọ ga-abụ Izrel, n’ihi
na gị na Chineke na ndị mmadụ gbara mgba, ị mmeri.”
29 Jekọb sịrị, “Biko gwa m aha gị.”
Ma ọ zaghachiri, “Gịnị mere ị ji ajụ aha m?” Mgbe ahụ, ọ gọziri ya n’ebe ahụ.
30 Jekọb kpọrọ aha ebe ahụ Peniel, n’ihi na ọ sịrị, “Ahụla m Chineke ihu na ihu,
ma e chebere ndụ m.”
31 Anyanwụ awaala mgbe Jekọb si Peniel gafee. Ma n’ihi ihe mere ya n’ọkpụ, ọ
naghị agazikwa ije. 32 Ọ bụ ihe a mere ụmụ Izrel adịghị eri akwara anụ jikọtara
ukwu anụ na ọkpụ ya ruo taa. N’ihi na ihe ahụ mere Jekọb metụtara akwara ukwu
ya.

# 33

### *Jekọb ezute Ịsọ*

1 Jekọb lepụrụ anya n’ihu, hụ Ịsọ ka ọ na-abịa, ya na narị ndị ikom anọ ndị so ya.
N’ihi ya, o kesara ụmụntakịrị ndị ahụ, n’etiti Lịa, na Rechel na ndị odibo nwanyị ya
abụọ. 2 O mere ka ndị odibo nwanyị ya abụọ ahụ na ụmụ ha buru ụzọ, Lịa na ụmụ
ya esoro n’azụ, ebe Rechel na Josef nọ n’azụ azụ. 3 Ma ya onwe ya buru ụzọ na-aga
n’ihu ha niile, na-akpọ isiala nye Ịsọ ugboro asaa, tutu ruo mgbe ọ bịarutere nwanne
ya nwoke nso.
4 Ma Ịsọ gbaara ọsọ bịakwute ya, makụọ ya, jikụọ ya aka n’olu, sutu ya ọnụ. Ha
abụọ kwara akwa. 5 Mgbe Ịsọ lelitere anya hụ ndị inyom ndị a na ụmụntakịrị ndị
ahụ. Ọ sịrị, “Ndị ole bụ ndị a gị na ha so?”
Jekọb sịrị, “Ha bụ ụmụ Chineke sitere n’amara ya nye ohu gị.”
6 Mgbe ahụ, ndị odibo nwanyị abụọ na ụmụ ha rutere nso, kpọọ isiala. 7 Lịa na
ụmụ ya bịarutekwara kpọọ isiala, n’ikpeazụ Rechel na Josef bịara kpọọkwa isiala.
8 Ịsọ sịrị, “Igwe ewu na atụrụ ndị a niile m zutere n’ụzọ, gịnị ka ọ pụtara?”
Jekọb zara, “Ha bụ maka ịnata ihuọma n’aka gị, onyenwe m.”
9 Ma Ịsọ sịrị, “Nwanne m nwoke, debere onwe gị ihe i nwere, n’ihi na enwere m
akụ hie nne.”
10 Jekọb sịrị, “E, biko, ọ bụrụ na m achọtala ihuọma n’anya gị, nara m onyinye ndị
a. N’ihi na ịhụ gị anya dịka ilekwasị Chineke anya n’ihu, nke ka nke, otu a i ji ihu
ọcha nabata m. 11 Biko nara onyinye ndị ahụ e wetaara gị, n’ihi na Chineke emelara
m amara. Enwekwara m ihe ga-ezuru m.” Jekọb kwagidere ya, ọ naara onyinye ndị
ahụ.
12 Mgbe ahụ, Ịsọ sịrị, “Bilienụ ka anyị malite ije ịlaghachi. Aga m esonyere unu.”
13 Ma Jekọb sịrị ya, “Onyenwe m, ị maara na ụmụntakịrị ndị a adịghị ike, aga m
ejikwa nwayọọ chịa ụmụ atụrụ ndị a na ehi ndị na-enye ụmụ ha ara. Ọ bụrụ na a
chịa ha n’ike n’ime otu ụbọchị, ụmụ anụmanụ ndị a niile ga-anwụ. 14 Ya mere, ka

onyenwe m buru ohu ya ụzọ na-aga, ma ka m jiri nwayọọ nwayọọ na-abịa, dịka ike
igwe anụ ndị a na ụmụaka ndị a si dị. Tutu ruo mgbe m ga-ezute onyenwe m na Sia.”
15 Ịsọ sịrị, “Ọ bụrụ otu a, ka m hapụrụ gị ụfọdụ ndị a mụ na ha so.”
Ma Jekọb sịrị, “N’ihi gịnị kwanụ? Ka m hụta naanị ihuọma n’anya onyenwe m.”
16 Ịsọ laghachikwara azụ na Sia n’otu ụbọchị ahụ. 17 Ma Jekọb na ezinaụlọ ya jere
Sukọt, ebe o wuuru onwe ya ụlọ obibi, wuokwara anụ ụlọ ya ụlọ obibi ha. Ọ bụ nke
a mere e ji kpọọ ebe ahụ Sukọt.
18 Mgbe Jekọb si Padan Aram lọghachi, o rutere obodo Shekem nke dị n’ala Kenan
n’udo. O mara ụlọ ikwu ya n’ihu obodo ahụ. 19 Ọ zụrụ ala ebe o mara ụlọ ikwu
ya n’aka ụmụ Hamọ, nna Shekem, ọ kwụrụ narị mkpụrụ ọlaọcha maka ala ahụ.
20 N’ebe ahụ, o wuru ebe ịchụ aja, kpọọ aha ya El Elohe Izrel.*

# 34

### *Daịna na nwa eze Shekem*

1 Ugbu a, Daịna nwa nwanyị Lịa mụụrụ Jekọb pụrụ ileta ndị inyom ala ahụ. 2 Mgbe
Shekem, nwa Hamọ onye Hiv, onye na-achị mpaghara ahụ, hụrụ ya, ọ kpọọrọ ya jiri
ike ya na ya dinaa. 3 Mkpụrụobi ya gara n’ebe Daịna nwa Jekọb, ọ hụrụ nwantakịrị
nwanyị ahụ n’anya, gwakwa ya okwu dị nro. 4 Shekem sịrị nna ya bụ Hamọ “Lụtara
m nwaagbọghọ a, ka ọ bụrụ nwunye m.”
5 Mgbe Jekọb nụrụ na e merụrụ Daịna nwa ya nwanyị, n’ihi na ụmụ ya ndị ikom
nọ n’ọhịa ebe ha na-azụ anụ ụlọ, ọ gbara nkịtị na-emeghị ihe ọbụla ruo mgbe ha
lọtara.
6 Hamọ bụ nna Shekem, pụkwuuru Jekọb ka ha kparịta ụka. 7 Ụmụ ndị ikom
Jekọb si n’ọhịa na-alọta mgbe ha nụrụ ihe merenụ, iwe na ọnụma juputara ha obi
nke ukwuu n’ihi na Shekem mere ihe na-eweta ihere n’Izrel site n’idinakwuru ada
Jekọb, ihe a na-ekwesighị ime eme.
8 Ma Hamọ sịrị ha, “Nwa m nwoke Shekem hụrụ nwa unu nwanyị n’anya. Biko,
kwerenụ ka ọ lụọ ya. 9 Kwerenụ ka anyị na unu na-alụrịta. Ka anyị na-alụ ụmụ ndị
inyom unu, ka unu na-alụkwa ụmụ ndị inyom anyị. 10 Unu nwere ike biri n’etiti anyị.
Ala a ghere oghe nye unu. Birinụ n’ime ya, na-azụkwanụ ahịa n’ime ya, nwekwanụ
akụ n’ime ya nye onwe unu.”
11 Shekem gwara nna na ụmụnne Daịna ndị ikom sị, “Kwerenụ ka m chọta ihuọma
n’ebe unu nọ, aga m enyekwa unu ihe ọbụla unu chọrọ ka m nye unu. 12 Ihe ọbụla
unu sị m kwụọ dịka ego akụ ọlụlụ nwunye, ya na onyinye ọbụla unu si m nye aga m
enye unu. Naanị kwerenụ ka nwaagbọghọ a bụrụ nwunye m.”
13 Ma ụmụ Jekọb jiri aghụghọ zaa Shekem na Hamọ nna ya mgbe ha na-agwa ha
okwu, n’ihi na e merụrụ Daịna nwanne ha nwanyị. 14 Ha sịrị ha, “Anyị enweghị
ike ime ihe a, ị kpọrọ nwanne anyị nwanyị kpọnye nwoke a na-ebighị ugwu. Nke a
ga-abụrụ anyị ihe ihere. 15 Anyị nwere ike ikwenye ka ọ lụọ ya ma ọ bụrụ na unu
ga-adị ka anyị, ka e bie ndị nwoke unu niile ugwu. 16 Mgbe ahụ anyị ga-edunye unu
ụmụ ndị inyom anyị, ma kpọrọkwa ụmụ ndị inyom unu dịka ndị nwunye anyị. Anyị
ga-ebi n’etiti unu, soro unu bụrụ otu ndị. 17 Ọ bụrụ na unu agaghị ekwe ka e bie unu
ugwu, anyị ga-akpọrọ nwanne anyị nwanyị laa.”
18 Obi tọrọ Hamọ na Shekem nwa ya nwoke ụtọ n’ihi ihe ụmụ ndị ikom Jekọb
kwuru. 19 Nwokorobịa ahụ bụ onye a na-asọpụrụ karịa onye ọbụla n’ụlọ nna ya
egbughị oge ime ihe ha kwuru, n’ihi na ihe banyere nwa nwanyị Jekọb dị ya mma
nke ukwuu. 20 Emesịa, Hamọ na Shekem nwa ya nwoke gara n’ọnụ* ụzọ ama nke

* **33:20** 33:20 Nke a pụtara Chineke Izrel dị ike nke ukwuu. * **34:20** 34:20 Ọ bụ n’ọnụ ụzọ ama nke obodo ka ndị okenye na-ezukọ, akparịta ụka. Jen 19:2; 23:10; Rut 4:1,11; 2Sa 15:2

obodo ha gwa ndị ikom obodo ha okwu, sị.
21 “Ndị ikom ndị a nwere mmasị n’ebe
anyị nọ. Kwerenụ ka ha biri n’ala anyị, ka ha na-agagharị kwa n’ime ya. Anyị nwere ala buru ibu nke ga-ezuru anyị na ha. Ha ga-alụ ụmụ nwanyị anyị, anyị ga-alụkwa ndị nke ha.
22 Ma ọ dị otu ihe ha chọrọ ka anyị mee tupu ha ekwere ibi n’etiti anyị
ka anyị na ha bụrụ otu ndị. Ọ bụ ibi ndị ikom anyị niile ugwu dịka e si bie ha ugwu.
23 Ọ bụrụ na unu chọrọ ka anụ ụlọ ha niile na akụ ha niile bụrụ nke anyị, ọ dị mma
ka anyị kwenyere ha, ka ha binyere anyị.”
24 Ndị ikom niile bịara n’ọnụ ụzọ ama obodo ahụ kwenyere n’okwu Hamọ na nwa
ya nwoke Shekem. E bikwara nwoke ọbụla nọ n’obodo ahụ ugwu.
25 O ruo n’ụbọchị nke atọ, mgbe ọnya ugwu ha na-egbu ha mgbu, ụmụ ndị ikom
Jekọb abụọ, Simiọn na Livayị, ụmụnne Daịna, jiri mma agha ha pụkwuru ndị bi n’obodo ahụ na-atụghị anya na ihe dị otu a ga-eme, gbuo ndị ikom niile nọ n’obodo ahụ.
26 Ha gbukwara Hamọ na Shekem nwa ya nwoke, kpọpụta Daịna site n’ụlọ
Shekem, laghachi n’ụlọ ha.
27 Mgbe ahụ ụmụ ndị ikom Jekọb niile bịakwasịrị ndị a e
gburu egbu, kwakọọ ihe niile dị n’obodo ahụ niile, n’ihi mmerụ e merụrụ nwanne ha nwanyị.
28 Ha kwakọọrọ ngwongwo niile dị n’obodo ahụ, kpụrụkwa anụ ụlọ niile,
igwe ewu na atụrụ, igwe ehi na igwe ịnyịnya ibu niile, na ihe niile dị n’ime obodo ahụ, na ihe niile dị n’ubi ndị ahụ obodo nwere.
29 Akụ ha niile, na ndị inyom ha niile
na ụmụntakịrị ha, na ihe niile dị n’ime ụlọ ha, ka ha weere dịka ihe a dọtara n’agha.
30 Mgbe Jekọb hụrụ ihe ụmụ ya mere, ọ kpọrọ Simiọn na Livayị sị ha, “Unu
ebuterela m nsogbu mee ka m bụrụ ihe na-esi isi ọjọọ n’etiti ndị Kenan na ndị Periz nwe ala a. Ebe anyị dị ole na ole, ọ bụrụ na ha ejikọta onwe ha ọnụ lụso m agha, ha ga-ekpochapụ mụ na ezinaụlọ m.”
31 Ma ha zara sị ya, “O kwesiri ka o meso nwanne anyị nwanyị mmeso dịka ọ bụ
akwụna?”

# 35

*Jekọb alọghachi Betel*

1 Chineke sịrị Jekọb, “Bilie, gaa Betel, birikwa n’ebe ahụ. Wuo ebe ịchụ aja nye
Chineke, onye mere ka ị hụ ya mgbe ị na-agbanarị Ịsọ nwanne gị nwoke.”
2 Ya mere, Jekọb gwara ndị ezinaụlọ ya na ndị niile so ya sị, “Wezuganụ chi ndị
ala ọzọ dị n’etiti unu. Doonụ onwe unu ọcha, gbanweekwanụ uwe unu.
3 Bilienụ, ka
anyị gaa Betel, ebe m ga-ewu ebe ịchụ aja nye Chineke, onye zara m oku n’ụbọchị nsogbu m, ma nọnyekwara m na njem nke m gara.”
4 Ya mere, ha nyere Jekọb chi
ndị ala ọzọ niile ha ji n’aka, na ọla* niile dị ha na ntị. Jekọb chịịrị ha niile lie ha n’okpuru osisi ook dị na Shekem.
5 Ha biliri ije. Egwu Chineke dakwasịrị obodo niile
gbara ha gburugburu. Ọ dịghị ndị chụsoro ha.
6 Jekọb na ndị niile so ya rutere Luz, nke a na-akpọkwa Betel nke dị na Kenan.
7 Jekọb wuru ebe ịchụ aja n’ebe a, kpọọ aha ebe ahụ El Betel, n’ihi na ọ bụ n’ebe ahụ
ka Chineke gosiri ya onwe ya mgbe ọ na-agbanarị Ịsọ nwanne ya nwoke.
8 Mgbe nke a gasịrị, Debọra, nwanyị lekọtara Ribeka mgbe ọ bụ nwantakịrị, nwụrụ.
E liri ya n’okpuru osisi ook dị na Betel. A kpọkwara ebe ahụ, “Osisi ook ebe ịkwa akwa.”
9 Chineke gosiri Jekọb onwe ya ọzọ, mgbe o sitere na Padan Aram pụta, gọziekwa
ya.
10 Chineke sịrị ya, “Aha gị bụ Jekọb ma a gaghị akpọkwa gị Jekọb ọzọ, kama aha
gị ga-abụ Izrel.” Ya mere ọ kpọrọ ya Izrel.
11 Chineke sịrị ya, “Abụ m Chineke onye pụrụ ime ihe niile. Mụọ ọmụmụ, baakwa
ụba n’ọnụọgụgụ. Otu mba na igwe mba ga-esi na gị pụta. Ndị eze ga-esitekwa gị

* **35:4** 35:4 N’oge ahụ, ndị mmadụ kwenyere na ọlantị ha na-eyi bụ ihe na-echekwa ha.

n’ahụ pụta. 12 Ala ahụ m nyere Ebraham na Aịzik ka m na-enyekwa gị. Aga m
enyekwa ya ụmụ ụmụ gị ndị ga-esote gị.” 13 Emesịa, Chineke si n’ebe ahụ ha nọ
kparịtaa ụka pụọ.
14 Jekọb wuru ogidi nkume n’ebe ahụ Chineke nọ gwa ya okwu. Ọ wụsara onyinye
ihe ọṅụṅụ wụkwasịkwa mmanụ n’elu ogidi nkume ahụ. 15 Jekọb kpọrọ ebe ahụ ya
na Chineke nọ kparịtaa ụka Betel.

*Ọnwụ Rechel na Aịzik*

16 Ha biliri ije, site na Betel. Ma mgbe ha ka nọ ebe dị anya site n’obodo Efrat,
Rechel mụrụ nwa, ma o nwere ihe mgbu ka ọ na-amụ nwa. 17 Mgbe o sitere n’oke
ihe mgbu na-amụpụta nwa ahụ, nwanyị na-aghọ nwa gwara ya, “Atụla egwu, n’ihi
na ọ bụ nwa nwoke ọzọ ka ị mụtara.” 18 Ma tupu Rechel ekuo ume ikpeazụ, n’ihi na
ọ na-anwụ, ọ kpọrọ aha nwa ọhụrụ ahụ Ben-Oni, ma nna ya kpọrọ ya Benjamin.
19 Rechel nwụrụ, e lie ya n’akụkụ ụzọ gara Efrat, nke a na-akpọkwa Betlehem.
20 Jekọb wuru ogidi n’elu ili ya, nke na-eguzokwa ruo taa, igosi ebe e liri Rechel.
21 Izrel malitere ije ya, tutu ruo ebe o wuru ebe izuike ya n’ala dị n’ofe ọzọ nke
Migdal Eda. 22 Mgbe Izrel bi n’ala ahụ, Ruben gara dinakwuru Bilha, iko nwanyị nna
ya. E mekwara ka Izrel nụ ihe a Ruben mere.

Ụmụ ndị ikom Jekọb dị iri na abụọ.

23 Ụmụ Lịa bụ,
Ruben, ọkpara Jekọb.
Simiọn, Livayị, Juda, Isaka na Zebụlọn.
24 Ụmụ Rechel bụ,
Josef na Benjamin.
25 Ụmụ Bilha, odibo nwanyị Rechel bụ,
Dan na Naftalị.
26 Ụmụ Zilpa, odibo nwanyị Lịa bụ,
Gad na Asha.

Ụmụ ndị ikom ndị a ka a mụụrụ Jekọb na Padan Aram.

27 N’ikpeazụ, Jekọb bịakwutere nna ya Aịzik na Mamre nke dị nso na Kiriat Arba
(ebe a na-akpọ Hebrọn). Ebe ahụ ka Ebraham na Aịzik biri na mbụ. 28 N’oge ahụ
Aịzik gbara narị afọ na iri afọ asatọ. 29 Ọ dịkwaghị anya site n’oge a, Aịzik nwụrụ,
mgbe o mere nnọọ agadi. Ụmụ ya ndị ikom abụọ, Ịsọ na Jekọb, liri ya.

# 36

*Ụmụ ụmụ Ịsọ*

1 Nke a bụ akụkọ banyere usoro agbụrụ Ịsọ, onye a na-akpọ Edọm.

2 Ịsọ lụrụ ndị inyom a site n’ala Kenan. Onye nke mbụ bụ Ada nwa Elọn, onye Het.
Nke abụọ bụ Oholibama, nwa Ana, nwa nwa Zibiọn, onye Hiv. 3 Onye nke atọ bụ
Basemat, nwa Ishmel, onye nwanne ya nwanyị bụ Nebaiot.
4 Ada mụụrụ Ịsọ Elifaz, ebe Basemat mụrụ Reuel. 5 Oholibama mụtaara Jeush na
Jalam na Kora. Ndị a bụ ụmụ Ịsọ ndị a mụtara ya n’ala Kenan.
6 Emesịa, Ịsọ duuru ndị nwunye ya na ụmụ ya ndị ikom na ndị inyom, na ndị niile
nọ n’ezinaụlọ ya. Ọ chịkọọrọ anụ ụlọ ya niile, na akụ niile ọ kpatara n’ala Kenan
kwapụ gaa biri n’ala dị anya site n’ebe nwanne ya Jekọb nọ. 7 Ebe ọ bụ na akụnụba
ha nwere dịkarịrị ukwuu ha ibikọta ọnụ, tinyekwara na ala ebe ha bi enwezighị ike

ibuli ha n'ihi anụ ụlọ niile ha nwere. 8 Ya mere, Ịsọ gara biri n'ala ugwu ugwu Sia,
Ịsọ bụkwa Edọm.

9 Nke a bụ akụkọ banyere usoro agbụrụ Ịsọ, nna obodo Edọm, n'ala ugwu
ugwu Sia.

10 Ndị a bụ aha ụmụ ndị ikom Ịsọ mụtara.
Elifaz bụ ọkpara Ada, nwunye Ịsọ. Nwanne ya bụ Reuel, nwa Basemat, nwunye
Ịsọ.
11 Ụmụ Elifaz ndị ikom bụ,
Teman, Ọmaa, Zefo, Gatam na Kenaz. 12 Elifaz nwa Ịsọ nwere iko nwanyị aha ya
bụ Timna, onye mụtaara ya Amalek. Ndị a niile bụ ụmụ ndị ikom Ada, nwunye
Ịsọ.
13 Ụmụ ndị ikom Reuel bụ,
Nahat, Zera, Shama na Miza. Ndị a niile bụ ụmụ ụmụ Basemat, nwunye Ịsọ.
14 Ndị a bụ ụmụ Oholibama, nwunye Ịsọ. Oholibama bụ nwa Ana na nwa nwa
Zibiọn. Ọ mụtaara Ịsọ
Jeush, Jalam na Kora.

15 Ndị a bụ ọnụmara si n'etiti ụmụ ụmụ Ịsọ.
Site n'etiti ụmụ Elifaz, ọkpara Ịsọ,
e nwere Ọnụmara Teman, ọnụmara Ọmaa, ọnụmara Zefo, ọnụmara Kenaz.
16 Ọnụmara Kora, ọnụmara Gatam na ọnụmara Amalek. Ndị eze ndị a bụ
ụmụ Elifaz n'ala Edọm. Ha bụ ụmụ ụmụ Ada.
17 Ndị bụ ụmụ Reuel, nwa Ịsọ,
e nwere ọnụmara Nahat, ọnụmara Zera, ọnụmara Shama, ọnụmara Miza.
Ọnụmara ndị a bụ ụmụ Reuel n'ala Edọm. Ha bụ ụmụ Basemat, nwunye Ịsọ.
18 Ndị a bụ ụmụ Oholibama, nwunye Ịsọ,
ọnụmara Jeush, ọnụmara Jalam, na ọnụmara Kora. Ndị a bụ ọnụmara ụmụ
Oholibama nwa Ana, nwunye Ịsọ.
19 Ndị a niile bụ ụmụ ndị ikom Ịsọ (ya bụ, Edọm). Ndị a bụkwa ọnụmara ha.

20 Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Sia onye Hor, ndị bi n'akụkụ ala ahụ:
Lotan, Shobal, Zibiọn, Ana, 21 Dishọn, Eza na Dishan. Ụmụ ndị ikom Sia n'ala
Edọm, ha bụ ndị ọnụmara Hor.
22 Ụmụ ndị ikom Lotan bụ,
Hori na Homam. Timna bụkwa nwanne nwanyị Lotan.
23 Ụmụ ndị ikom Shobal bụ,
Alvan, Manahat, Ebal, Shefo na Onam.
24 Ụmụ ndị ikom Zibiọn mụrụ bụ
Aịa na Ana. Ana bụ nwoke ahụ chọpụtara isi iyi mmiri ime ala ahụ nke mmiri
dị ọkụ si n'ime ya na-asọpụta n'ọzara, mgbe ọ na-elekọta ịnyịnya ibu nna ya
Zibiọn.
25 Ụmụ Ana bụ,
Dishọn na Oholibama nwa nwanyị Ana.
26 Ụmụ ndị ikom Dishọn bụ,
Hemdan na Eshban na Itran na Keran.
27 Ụmụ ndị ikom Eza bụ,
Bilhan na Zaavan na Akan.
28 Ụmụ ndị ikom Dishan bụ,
Uz na Aran.
29 Ndị a bụ ndị ọnụmara Hor,

ọnụmara Lotan, ọnụmara Shobal, ọnụmara Zibiọn, ọnụmara Ana,
30 ọnụmara Dishọn, ọnụmara Eza na ọnụmara Dishan.
Ndị a niile bụ ndị ọnụmara Hor dịka nkewa ha si dị n’ala Sia.

### *Ndị eze Edọm*

31 Ndị a bụ ndị eze chịrị n’Edọm tupu ndị Izrel enwee eze mbụ ha.
32 Bela, nwa Beoa chịrị dịka eze n’Edọm. Isi obodo ya bụ Dinhaba.
33 Mgbe Bela nwụrụ, Jobab nwa Zera onye Bozra nọchiri ya dịka eze.
34 Mgbe Jobab nwụrụ, Husham onye si n’ala Teman nọchiri ya dịka eze.
35 Mgbe Husham nwụrụ, Hadad nwa Bedad, onye meriri ndị Midia n’agha n’ala Moab nọchiri dịka eze. Isi obodo ya bụ Avit.
36 Mgbe Hadad nwụrụ, Samla onye Masrika nọchiri ya dịka eze.
37 Mgbe Samla nwụrụ, Shaul onye sitere na Rehobọt dị n’akụkụ osimiri nọchiri ya dịka eze.
38 Mgbe Shaul nwụrụ, Baal-Hanan nwa Akboa nọchiri ya dịka eze.
39 Mgbe Baal-Hanan nwa Akboa nwụrụ, Heda nọchiri ya dịka eze. Aha obodo ya bụ Pau. Aha nwunye ya bụ Mehetabel, nwa Matred nwa nwa Mezahab.

40 Ndị a bụ ndịisi ọnụmara Ịsọ, dịka aha ha si dị, dịka ikwu ha na akụkụ ebe ha bi si dị:
Timna, Alva, Jetet,
41 Oholibama, Elaa, Pinon,
42 Kenaz, Teman, Mibza,
43 Magdiel na Iram.
Ndị a bụ ndịisi ọnụmara n’Edọm, dịka ebe obibi ha na ala obi ha si dị.

Nke a bụ ezinaụlọ Ịsọ bụkwa nna ndị Edọm.

## 37

### *Nrọ Josef*

1 Jekọb bigidere n’ala Kenan, ala ahụ nna ya buru ụzọ biri n’ime ya.

2 Nke a bụ usoro akụkọ banyere ezinaụlọ Jekọb.

Josef, onye gbarala afọ iri na asaa, na-esonyere ụmụnne ya ndị ikom na-azụ igwe anụ ụlọ, ya onwe ya bụ naanị nwantakịrị na-enyere ụmụ Bilha na ụmụ Zilpa ndị nwunye nna ya aka. Ma Josef na-ewetara nna ha akụkọ maka ihe ọjọọ ha na-eme.
3 Ma Izrel hụrụ Josef n’anya karịa ụmụ ya ndị ikom ndị ọzọ niile n’ihi na Josef bụ nwa a mụụrụ ya n’oge agadi ya. Ọ kwaara ya uwe mwụda nwere ọtụtụ agwa.
4 Mgbe ụmụnne ya chọpụtara na nna ha hụrụ ya n’anya karịa onye ọbụla n’ime ha, ha kpọrọ ya asị, ha adịghị agwakwa ya okwu ọma.
5 Otu oge, Josef rọrọ nrọ, mgbe ọ kọọrọ ụmụnne ya nrọ a ọ rọrọ, ha kpọrọ ya asị karịa.
6 Ọ gwara ha, “Geenụ ntị na nrọ a m rọrọ.
7 Anyị niile nọ n’ubi na-achịkọta ọka, ngwangwa ukwu ọka nke m biliri guzoro ọtọ, ebe ukwu ọka nke unu niile gbara ukwu ọka nke m gburugburu, na-akpọ isiala nye ya.”
8 Ụmụnne ya jụrụ ya, “Ị na-akọwa na ọ bụ gị ga-abụ eze anyị? Na ọ bụ gị n’ezie ga-achị anyị?” Ha kpọrọ ya asị karịa n’ihi nrọ ya na okwu ya niile.
9 Josef rọkwara nrọ ọzọ, kọkwara ụmụnne ya. Ọ sịrị, “Geenụ ntị, arọrọ m nrọ ọzọ. Ma na nrọ nke ugbu a, anyanwụ na ọnwa na kpakpando iri na otu na-akpọ isiala nye m.”

10 Ma mgbe ọ kọọrọ nna ya na ụmụnne ya nrọ a. Nna ya baara ya mba, sị, “Nrọ
nke a ị rọrọ bụ nrọ gịnị? Ọ bụ ezie na anyị niile, mụ onwe m na nne gị na ụmụnne
gị, ga-abịa na-akpọrọ gị isiala?” 11 Ụmụnne ya kwosiri ya ekworo n’ihi ya, ma nna
ya debere ihe ndị a niile n’obi ya.

### *Orire e rere Josef*

12 Ka ọ dị, ụmụnne ya gara ilekọta igwe anụ ụlọ nna ha na Shekem. 13 Izrel sịrị
Josef, “Dịka ị maara, ụmụnne gị nọ na-eche anụ ụlọ na Shekem. Bịa, aga m eziga gị
n’ebe ahụ.”
Josef zara sị, “Ọ dị mma.”
14 Ya mere, ọ gwara ya, “Gaa ka ị chọpụta ma ihe ọ na-agazikwara ụmụnne gị na
igwe anụ ụlọ ndị ahụ nke ọma, ma weghachiri m ozi.” O sitere na Ndagwurugwu
Hebrọn zipụ ya.
Ọ bịaruru Shekem, 15 ma otu nwoke hụrụ ya ka ọ na-awagharị gburugburu n’ọhịa
dị n’ebe ahụ, ọ jụrụ ya, “Gịnị ka ị na-achọ?”
16 Ọ sịrị, “Ana m achọ ụmụnne m. Biko, ị nwere ike ịgwa m ebe ha nọ na-azụ igwe
anụ ụlọ ha?”
17 Nwoke ahụ zara sị, “Ha esitela n’ebe a pụọ. Anụrụ m ka ha na-asị, ‘Ka anyị gaa
Dọtan.’ ”
Ya mere, Josef gawara Dọtan ịchọ ụmụnne ya. Ọ hụkwara ha n’ebe dị nso na
Dọtan. 18 Ma ha lepụrụ anya hụ ya ka ọ na-abịa, gbaa izu otu ha ga-esi gbuo ya.
19 Ha sịrịtara onwe ha, “Lee eze nrọ ahụ ka ọ na-abịa! 20 Ugbu a, bịanụ, ka anyị
gbuo ya, tụba ya n’ime otu olulu ndị a.* Anyị ga-asịkwa na anụ ọhịa eriela ya. Mgbe
ahụ, anyị ga-ahụkwa ihe nrọ ya niile ga-abụ.”
21 Ruben nụrụ ihe a, ma napụtakwa ya site n’aka ha. Ọ sịrị, “Ka anyị hapụ igbu
ya.” 22 Ruben sịrị ha, “Ka unu hapụ ịkwafu ọbara. Kama tụnyenụ ya n’ime olulu a
dị n’ọzara. Ma unu akpatụkwala ya aka.” Ma nzube ya bụ ịnapụta ya site n’aka ha,
dulaara ya nna ya.
23 Ya mere, mgbe Josef bịakwutere ụmụnne ya, ha yipụrụ ya uwe mwụda ya, uwe
mwụda nwere ọtụtụ agwa o yi n’ahụ. 24 Ha duru ya tụnye ya n’ime olulu. Ọ bụ olulu
tọgbọrọ n’efu, nke mmiri na-adịghị n’ime ya.
25 Mgbe ha nọdụrụ ala bido iri nri, ha leliri anya ha hụ igwe ndị ahịa Ishmel si
Gilead. Ịnyịnya kamel ha bu ụda na mgbaa na máá. Ọ bụkwa Ijipt ka ha bu ihe ndị
a na-aga.
26 Mgbe ahụ, Juda jụrụ ụmụnne ya, “Uru gịnị ka ọ ga-abara anyị igbu nwanne anyị,
ma kpuchie ọbara ya? 27 Bịanụ, ka anyị resi ya ndị Ishmel ndị a, ka aka anyị ghara
n’imetụ ya, n’ihi na nwanne anyị na otu anụ ahụ anyị ka ọ bụ.” Ụmụnne ya gere ya
ntị.
28 Mgbe ndị ahịa Midia ahụ rutere, ha sitere n’olulu dọpụta Josef resi ya ndị Ishmel
ahụ, ndị kwụrụ ụmụnne Josef iri mkpụrụ shekel ọlaọcha abụọ. Ha duuru Josef gaa
Ijipt.
29 Ruben mechara lọghachi gaa n’olulu ahụ, ma ka ọ na-ahụghị Josef n’ime olulu
a, ọ dọwara uwe ya. 30 O jekwuru ụmụnne ya sị ha, “Nwata ahụ anọkwaghị ebe ahụ!
Mụ onwe m, olee ebe m ga-ala?”
31 Ụmụnne ya gburu otu ewu were uwe Josef bịanye n’ime ọbara ya. 32 Ha chịịrị
uwe mwụda ahụ nwere ọtụtụ agwa jekwuru nna ha sị ya, “Anyị hụrụ uwe a n’ime
ọhịa. Leruo ya anya ka ị mara maọbụ uwe mwụda nwa gị.”
33 Ọ matara na ọ bụ ya, sị, “E, nke a bụ uwe nwa m nwoke. Ajọ anụ eriela ya. Anụ
ọhịa adọkasịala Josef n’ezie.”

---

* **37:20** 37:20 Ebe ala ala olulu mmiri ndị a na-agbasa agbasa karịa ọnụ ha. Jer 38:6,13

34 Mgbe ahụ, Jekọb dọwara uwe ya, yiri akwa mkpe, ruo ụjụ ọtụtụ ụbọchị n'ihi
nwa ya. 35 Ụmụ ya ndị ikom na ụmụ ya ndị inyom niile bịara ịkasị ya obi, ma ọ jụrụ
ịnabata nkasiobi ọbụla. Ọ sịrị, "Aga m alakwuru nwa m n'ala mmụọ site n'iru ụjụ."
Nna ya kwagidere akwa n'ihi ya.

36 Ugbu a, ndị Midia ahụ rere† Josef n'Ijipt, resi ya Pọtifa, otu n'ime ndịisi na-ejere
Fero ozi, onye bụ onyeisi ndị nche Fero, bụ eze Ijipt.

# 38

## *Juda na Tama*

1 N'oge ahụ, Juda hapụrụ ụmụnne ya gaa binyere otu nwoke onye Adulam a na-
akpọ Hira. 2 N'ebe ahụ, Juda hụrụ otu nwaagbọghọ, nwa otu nwoke onye Kenan, aha
ya bụ Shua. Ọ lụrụ ya ma bakwuru ya. 3 Ọ tụụrụ ime mụọ nwa nwoke, onye Juda
gụrụ aha Ịa 4 Nwunye ya dịkwara ime ọzọ mụta nwa nwoke nke ya bụ nwunye ya
gụrụ Onan. 5 Ọ mụkwara nwa nwoke ọzọ, onye ọ kpọrọ Shela. Ọ bụ na Kezib ka ọ
mụrụ ya.

6 Juda lụtaara Ịa, ọkpara ya, nwunye onye aha ya bụ Tama. 7 Ma n'ihi na Ịa,
ọkpara Juda, dị njọ n'anya ONYENWE ANYỊ. ONYENWE ANYỊ gburu ya.

8 Mgbe ahụ, Juda sịrị Onan, "Bakwuru nwunye nwanne gị ka ịkuchie ya, ka i si
otu a wulite mkpụrụ maka nwanne gị." 9 Onan ma na mkpụrụ a agaghị abụ nke ya.
N'ihi ya, mgbe ọbụla ọ bakwuru nwunye nwanne ya, ọ na-anyụsa mkpụrụ nwa ya
n'ala, ime ka ọ ghara inye nwanne ya nwoke nwa. 10 Ma ihe a o mere jọrọ njọ n'anya
ONYENWE ANYỊ. N'ihi ya ONYENWE ANYỊ gbukwara ya.

11 Juda sịrị nwunye nwa ya, bụ Tama, "Laa n'ụlọ nna gị nọrọ dịka nwanyị di ya
nwụrụ tutu Shela nwa m nwoke etoo." Ma echiche ya bụ, "ka ọ ghara ịnwụ dịka
ụmụnne ya." Tama lara gaa biri n'ụlọ nna ya.

12 Mgbe ọtụtụ oge gasịrị, nwunye Juda nwa Shua nwụrụ. Mgbe oge nkasiobi ya
gasịrị, Juda jere Timna, ya na enyi ya Hira, onye Adulam, ilekọta ndị na-akpụchapụ
igwe ewu na atụrụ ya ajị.

13 A gwara Tama sị ya, "Nna di gị na-aga Timna ịkpacha atụrụ ya ajị." 14 O yipụrụ
uwe mkpe ya, were akwa mkpuchi kpuchie onwe ya gaa nọdụ ala n'ọnụ ụzọ ama
Enayim, nke dị n'ụzọ e si aga Timna. O mere otu a n'ihi na ọ matara na Shela etoola,
ma enyeghị ya ka ọ bụrụ nwunye ya.

15 Mgbe Juda hụrụ ya, o chere na ọ bụ otu nwanyị akwụna, ebe ọ bụ na o kpuchiri
ihu ya. 16 Ma ebe ọ mataghị na ọ bụ nwunye nwa ya, o jekwuru ya ebe ọ nọdụrụ ala
n'akụkụ ụzọ sị ya, "Bịa, kwere ka mụ na gị dinaa."

Tama jụrụ, "Gịnị ka ị ga-enye m ma ọ bụrụ na m kwere ka mụ na gị dinaa?"

17 Ọ zara, "Aga m ezitere gị otu nwa ewu site n'igwe ewu na atụrụ m."

Ọ jụrụ, "Ị ga-enye m ihe akaebe ruo mgbe ị ga-ezite ya?"

18 Ọ sịrị, "Kedụ ihe akaebe m ga-enye gị?"

Ọ zara, "Mgbaaka akara gị na eriri ya, na mkpanaka dị gị n'aka." O nyere ya ihe
ndị a. Ọ bakwuru ya nke mere na ọ tụụrụ ime. 19 Mgbe o si n'ebe ahụ pụọ, o yipụrụ
akwa ahụ o ji kpuchie ihu ya, yirikwa uwe mkpe ya.

20 Mgbe Juda zigara enyi ya onye Adulam ka ọ gaa wegara ya nwa ewu ahụ, ma
nataghachi ihe ibe ahụ, ọ hụghị ya. 21 Ọ jụrụ ndị ikom bi n'ebe ahụ sị, "Olee nwanyị
akwụna ụlọ arụsị ahụ na-anọdụ n'ọnụ ụzọ ama Enayim?"

Ha sịrị, "O nweghị nwanyị akwụna ụlọ arụsị nọrọla n'ebe a."

† **37:36** 37:36 Ire maọbụ ịzụta mmadụ dịka ohu bụ otu n'ime ahịa ndị bi n'ọzara na-azụ. Jen 17:12; 37:26

22 Ya mere, ọ laghachiri gaa gwa Juda, “Ahụghị m ya. Ọzọkwa, ndị ikom ndị bi
n’ebe ahụ sịrị, ‘O nweghị nwanyị akwụna* ụlọ arụsị nọrọla n’ebe a.’ ”
23 Juda zara, “Ka o jide ihe niile o ji, ma ọ bụghị otu a anyị ga-aghọ ihe ọchị. Lee,
ezigarala m ya nwa ewu a, ma gị onwe gị achọtaghị ya.”
24 Mgbe ọnwa atọ gasịrị, ozi ruru Juda ntị sị, “Tama nwunye nwa gị gbara akwụna,
bịa site n’ịgba akwụna dịrị ime.”
Juda sịrị, “Kpọpụtanụ ya ka akpọọ ya ọkụ.”
25 Ma mgbe ha kpọ ya na-apụta, o zigara nna di ya ozi, sị, “Ọ bụ nwoke nwee ihe
ndị a tụwara m ime. Ọ sịkwara, Leruo anya ma ị ga-amata onye nwe ihe ndị a:
mgbaaka akara a na eriri ya, na mkpanaka a.”
26 Juda ghọtara ha, sị, “Ọ bụ onye ezi omume karịa m, ebe ọ bụ na m jụrụ ịkpọrọ
ya kpọnye nwa m nwoke Shela ka ọ bụrụ nwunye ya.” O dinakwaghị ya ọzọ.
27 Mgbe oge ọmụmụ nwa ya ruru, ejima ka ahụrụ n’akpanwa ya. 28 Mgbe ọ na-
amụ ha, otu n’ime ha sepụtara aka ya. Nwanyị na-aghọ nwa weere eriri na-acha
uhie uhie kee ya na nkwoji aka kwuo sị, “Ọ bụ nke a bụ ụzọ pụta.” 29 Ma nwa ahụ
mesịrị sekpuo aka ya, nwanne ya nke ọzọ eburu ya ụzọ pụta. Nwanyị ahụ sịrị, “Ọ
bụ otu a ka ị si tikapụta?” A kpọrọ ya Perez.† 30 Emesịa, nwanne ya, nke bu eriri
uhie uhie ahụ na nkwoji aka pụtakwara. A kpọrọ ya Zera.

# 39

## *Josef na nwunye Pọtifa*

1 A kpọọrọ Josef gaa n’ala Ijipt. Pọtifa, bụ nwoke Ijipt, otu n’ime ndịisi na-ejere Fero ozi, na onyeisi ndị agha na-eche nche zụụrụ ya site n’aka ndị Ishmel, bụ ndị duuru ya gaa n’ebe ahụ.
2 ONYENWE ANYỊ nọnyeere Josef, nke mere na ihe gaara ya nke ọma n’ụlọ nna ya
ukwu onye Ijipt. 3 Nna ya ukwu hụrụ na ONYENWE ANYỊ nọnyeere Josef, hụkwa na
ONYENWE ANYỊ na-eme ka ihe niile o mere gaara ya nke ọma. 4 Josef hụtara amara
n’ihu ya, ghọọ onyeozi nke aka ya. Pọtifa mere ya onye na-elekọta ezinaụlọ ya.
Nyefee ya ihe niile o nwere ka ọ bụrụ onye na-elekọta ha. 5 Site n’oge a, o mere ka ọ
bụrụ onye na-elekọta ezinaụlọ ya na ihe niile o nwere, ONYENWE ANYỊ gọziri ezinaụlọ
onye Ijipt ahụ n’ihi Josef. Ngọzị ONYENWE ANYỊ dịkwasịrị n’ihe niile Pọtifa nwere, ma
ihe o nwere n’ụlọ ma ndị o nwere n’ubi ya. 6 Ya mere, ọ hapụrụ ihe niile o nwere
n’aka Josef. Nke a mere na ọ mazighị ihe ọzọ na-eme, ma ọ bụghị nri nke ọ na-eri.*
Josef n’onwe ya mara mma ahụ dịkwa mma ile anya. 7 Mgbe oge nta gasịrị, nwunye
Pọtifa lere Josef anya sị ya, “Bịa ka anyị abụọ dinaa.”
8 Ma Josef jụrụ. Ọ gwara nwunye nna ya ukwu sị, “Lee, nna m ukwu anaghị
echegbu onwe ya banyere ihe ọbụla n’ụlọ a. O werela ihe niile o nwere nyefee m
n’aka ka m lekọta ha anya. 9 O nweghị onye ọnọdụ ya dị elu karịa nke m n’ụlọ a.
O gbochighị m ihe ọbụla ma ọ bụghị gị, n’ihi na ị bụ nwunye ya. Olee otu m ga-esi
mee oke ihe ọjọọ dị otu a, mee mmehie megide Chineke.” 10 Ọ bụ ezie na nwanyị a
nọgidere na-enye Josef nsogbu site n’ụbọchị ruo ụbọchị ma Josef jụrụ iso ya dinaa,
jụkwa ịnọnyere ya.
11 Otu ụbọchị, Josef batara n’ime ụlọ ịrụ ọrụ ya. O nweghị ndị ọzọ na-eje ozi nọ
n’ime ụlọ n’ụbọchị ahụ. 12 Nwunye Pọtifa jidere Josef n’uwe mwụda ya, rịọ ya sị
ya, “Bịa ka anyị dinaa.” Ma Josef si n’ime ụlọ ahụ gbapụ, hapụ uwe mwụda ya n’aka
nwunye Pọtifa.

---

* **38:22** 38:22 N’oge ochie, ụmụ nwanyị akwụna bụ ndị na-efe chi ndị ha na-ewe ka chi ọmụmụ. Jen 38:21
† **38:29** 38:29 Perez bụ nna ochie Devid. Rut 4:18-22; Mat 1:3-6; Luk 3:32-33
* **39:6** 39:6 Usoro iri nri ndị Ijipt dị iche site na nke ndị Juu, n’ihi ụzọ esi akwado ha tupu e rie ha. Jen 43:32

[13] Mgbe nwanyị a hụrụ na Josef agbapụla, hapụ uwe ya, [14] ọ kpọrọ ndị na-eje ozi
n'ezinaụlọ ya sị ha, "Lee, onye Hibru a di m kpọbatara n'ụlọ a chọrọ iji anyị gwurie
egwu. Ọ bịakwutere m n'ime ụlọ chọọ ka mụ na ya dinaa. E tiri m mkpu n'olu ike.
[15] Mgbe ọ nụrụ ka m welitere olu m tie mkpu enyemaka m tiri, o sitere n'ime ụlọ a
gbapụ, ma hapụrụ m uwe ya."
[16] Nwanyị a debere uwe ahụ n'akụkụ ya ruo mgbe nna ya ukwu lọtara n'ụlọ.
[17] Mgbe ahụ, ọ gwara di ya okwu ndị a sị, "Onye ohu Hibru a ị kpọbataara anyị
bakwutere m iji m gwurie egwu. [18] Ma mgbe m welitere olu tie mkpu enyemaka o
sitere n'ụlọ gbapụ hapụrụ m uwe ya."
[19] Mgbe nna ya ukwu nụrụ ihe nwunye ya gwara ya sị, "Otu a ka ohu gị si meso m
mmeso," o were iwe dị ọkụ. [20] Nna ukwu Josef weere ya tụnye n'ụlọ mkpọrọ, n'ebe
a na-etinye ndị mkpọrọ eze Ijipt.
Ma ebe ahụ Josef nọ n'ụlọ mkpọrọ, [21] ONYENWE ANYỊ nọnyeere ya. O meere
ya ebere, mekwa ka o nweta ihuọma n'ebe onyeisi ndị nche ụlọ mkpọrọ ahụ nọ.
[22] Onyeisi ndị na-eche ụlọ mkpọrọ mere Josef onyeisi ndị mkpọrọ niile nọ n'ime
ụlọ mkpọrọ ahụ. Josef ghọrọ onye a na-ajụ otu ihe si aga n'ime ụlọ mkpọrọ ahụ.
[23] Onyeisi ndị nche ụlọ mkpọrọ ahụ enyeghịkwa onwe ya nsogbu maka ihe ọbụla.
N'ihi na ONYENWE ANYỊ nọnyeere Josef, mee ka ihe ọbụla ọ na-eme gaa nke ọma.

# 40

### *Josef akọwaa nrọ*

[1] Mgbe ụfọdụ oge gasịrị, onye na-ebu iko ihe ọṅụṅụ eze Ijipt na onye na-esiri ya nri
mehiere megide nna ha ukwu, eze Ijipt. [2] N'ihi ya, Fero were iwe megide ndị ozi ya
abụọ ndị a, onyeisi ndị na-ebu iko ya na onye na-esiri ya nri. [3] O tinyere ha na nga,
n'ụlọ mkpọrọ dị n'ụlọ onyeisi ndị nche, ebe ahụ a tụbara Josef. [4] Onyeisi ndị nche
mere Josef onye na-elekọta ha.
Ha nọrọ n'ụlọ mkpọrọ ọtụtụ ụbọchị. [5] Ha abụọ, onye ahụ na-esiri eze nri, na onye
na-ebu iko eze Ijipt, rọrọ nrọ n'otu abalị. Nrọ nke onye ọ bụla nwere nkọwa nke ya.
[6] Mgbe chi bọrọ, Josef bịakwutere ha hụ na ihu ha gbarụrụ agbarụ. [7] N'ihi ya, ọ
jụrụ ndị ozi Fero ndị a ha na ya nọ n'ụlọ mkpọrọ dị n'ụlọ nna ya ukwu sị ha, "Gịnị
mere ihu unu ji gbarụọ taa?"
[8] Ha zara sị ya, "Anyị rọrọ nrọ ọjọọ, ma onye nkọwa ya adịghị."
Josef sịrị ha, "Ọ bụghị Chineke nwee ike ịkọwa nrọ? Kọọrọnụ* m ha."
[9] Onyeisi ndị na-ebu iko kọọrọ Josef nrọ ya. Ọ sịrị ya, "Arọrọ m nrọ hụ osisi vaịnị
n'ihu m. [10] Osisi vaịnị a nwere alaka atọ. Mgbe m nọ na-ele anya, osisi vaịnị ahụ
mara ifuru, mịpụta mkpụrụ n'ụyọkọ n'ụyọkọ, ha chakwaa. [11] Ebe ọ bụ n'iko Fero dị
m n'aka, a ghọọrọ m mkpụrụ vaịnị ndị a, pịpụta mmiri ha pịnye n'ime iko mmanya
Fero, bunye ya ka ọ ṅụọ."
[12] Josef sịrị ya, "Nke a bụ ihe nrọ gị pụtara. Alaka atọ ahụ bụ abalị atọ. [13] N'ime
abalị atọ Fero ga-akpọpụta gị, mee ka i nwere onwe gị. Fero ga-enyeghachikwa gị
ọrụ gị. Ị ga-etinyekwa Fero iko ya n'aka dịka i si eme na mbụ mgbe ị bụ onye na-ebu
iko ya. [14] Mgbe ihe gaara gị nke ọma, chetakwa m, ma gosi m obiọma, gwara m Fero
ka o si n'ụlọ mkpọrọ a wepụta m. [15] Ọ bụ ntọrọ ka atọọrọ m site n'ala ndị Hibru.
N'otu aka ahụ, n'ebe a ọ dịkwaghị ihe ọjọọ ọ bụla m mere nke kwesiri ka atụnye m
n'ụlọ mkpọrọ a."
[16] Mgbe onyeisi ndị na-esiri Fero nri hụrụ na nkọwa nrọ ahụ dị mma, ọ sịrị Josef,
"Mụ onwe m, na nrọ m nke m, ebu m nkata achịcha atọ n'isi. [17] Nkata nke dị n'elu

* **40:8** 40:8 Maọbụ, Unu zere m nrọ unu

jupụtara na achịcha dị iche iche e gheere eze, bụ Fero. Ma ụmụ nnụnụ bịara na-eri
achịcha ndị ahụ dị na nkata m bụ n’isi.”
18 Josef zara sị ya, “Lee ihe nrọ gị pụtara. Nkata atọ ahụ bụ abalị atọ. 19 N’ime
abalị atọ ka Fero ga-esi n’ụlọ mkpọrọ kpọpụta gị, nye iwu ka e bepụ gị isi, kwụba gị
n’elu osisi. Ụmụ nnụnụ ga-erichapụ anụ ahụ gị.”
20 N’abalị nke atọ, site n’ụbọchị ndị a rọrọ nrọ ha, Fero mere mmemme ncheta
ọmụmụ ya. Ọ kpọrọ ndị niile na-ejere ya ozi oriri. O ziri ozi ka a gaa n’ụlọ mkpọrọ
kpọpụta onyeisi ndị na-ebunye ya iko ihe ọṅụṅụ na onyeisi ndị na-esiri ya nri. 21 O
nyeghachiri onyeisi ndị na-ebu iko ya ọrụ ya, weghachi ya n’ọnọdụ ya. Nwoke a
bunyekwara Fero iko ya dịka o si eme na mbụ. 22 Ma ọ kwụgburu onyeisi ndị na-
esiri ya nri, dịka Josef si kọwaa nrọ ha.
23 Ma onyeisi ndị ahụ na-ebu iko eze echetaghị Josef. O chefuru ya.

# 41

*Nrọ Fero na nkọwa ya*
1 O ruo mgbe afọ abụọ gasịrị, Fero rọrọ nrọ hụ onwe ya ka o guzo n’akụkụ mmiri
Naịl. 2 N’ebe ahụ, ọ hụrụ ehi asaa ndị si n’osimiri Naịl na-apụta. Ehi ndị a buru
ibu, maa mma. Ahụ ha na-akwọ mụrụmụrụ. Ha pụtara, bido ịta nri n’etiti ahịhịa
riidi. 3 N’atụfughị oge, ehi asaa ọzọ soro ha n’azụ sikwa n’osimiri Naịl na-apụta. Ma
ehi ndị a tara ahụ nke ukwuu. Ha bụ nnọọ ọkpụkpụ ọkpụkpụ, jọọ njọ ile anya. Ha
bịara guzo n’akụkụ ehi ndị ahụ buru ibu. 4 Mgbe ahụ, ehi ndị a bụ naanị ọkpụkpụ
ọkpụkpụ bịara richapụ ehi ndị ahụ buru ibu. Mgbe nke a mere Fero kwolitere.
5 Emesịa, Fero rahụkwara ụra ọzọ, rọọ nrọ nke ugboro abụọ, hụ ogbe ọka asaa ndị
mịrị n’otu ukwu ọka. Ogbe ọka ndị a buru ibu maa ezi mma. 6 Emesịa, ọ hụkwara
ogbe ọka asaa ọzọ ka ha mịkwara n’otu ukwu ọka ahụ. Ma ndị a ọ hụrụ kpọnwụsịrị
akpọnwụ, fịkpọkwa afịkpọ. Ọ bụ ikuku si n’ọwụwa anyanwụ mere ka ha kpọnwụọ.
7 Ogbe ọka ndị a fịkpọrọ afịkpọ loro ogbe ọka asaa ndị ahụ buru ibu. Fero kwolitere
hụ na ihe ndị a bụ nrọ.
8 Mgbe chi bọrọ, o nweghị udo na mmụọ ya. O ziri ozi kpọkọta ndị majiki niile, na
ndị ọkachamara niile nke Ijipt. Fero kọọrọ ha ihe ọ rọrọ na nrọ. Ma ọ dịghị onye
nwere ike ịkọwara ya ihe nrọ ya pụtara.
9 Ma n’oge ahụ, onyeisi ndị na-ebu iko jekwuuru Fero gwa ya sị, “Taa ka m chetara
mmehie m. 10 Oge ahụ Fero were iwe megide ndị na-ejere ya ozi, o tinyere mụ na
onyeisi ndị na-esi nri n’ụlọ mkpọrọ nke dị n’ebe onyeisi ndị nche eze bi. 11 Onye
ọbụla n’ime anyị abụọ rọrọ nrọ n’otu abalị, nrọ ọbụla nwekwara nkọwa nke ya. 12 O
nwere nwokorobịa onye Hibru anyị na ya nọ n’ụlọ mkpọrọ n’oge ahụ. Ọ bụ ohu
onyeisi ndị nche eze. Anyị kọọrọ ya nrọ anyị rọrọ. Ọ kọwakwaara anyị ihe nrọ anyị
pụtara nye onye ọbụla nkọwa nke nrọ ya. 13 Ihe niile mere dịka o si kọwara anyị. E
nyeghachiri m ọnọdụ m, ma kwụba onye nke ọzọ n’osisi.”
14 Ya mere Fero ziri ozi ka a kpọọ Josef. E mere ngwangwa wepụta ya site n’ụlọ
mkpọrọ ahụ. Mgbe ọ kpụchara afụọnụ[*] ya, gbanwee uwe ya, ọ bịakwara n’ihu Fero.
15 Fero gwara Josef sị, “Arọrọ m nrọ ma o nweghị onye ọbụla nwere ike ịkọwara
m ihe nrọ m rọrọ pụtara. Ma anụla m na a kọọrọ gị nrọ a rọrọ, i nwere ike ịkọwa
ihe nrọ ahụ pụtara.”
16 Josef zara sị ya, “Enweghị m ike ịkọwa nrọ n’ike aka m. Ma Chineke ga-enye
Fero ọsịsa udo dịka ọ chọrọ.”
17 Mgbe ahụ, Fero malitere ịkọwara Josef nrọ ya. O kwuru sị, “Eguzoro m n’akụkụ
osimiri Naịl na nrọ m. 18 Mgbe ahụ, ahụrụ m ehi asaa si na mmiri ahụ pụta. Ehi ndị

---

[*] **41:14** 41:14 Otu ihe e ji maara ndị Ijipt bụ ịkpụcha agịrị isi na afụọnụ ha, ma nke a bụghị omenaala ndị Juu.

a mara abụba, ma gbaa agba. Ha bidokwara ịta nri n’etiti ahịhịa riidi.† 19 Emesịa,
a hụrụ m ehi asaa ọzọ ka ha sikwa n’osimiri ahụ pụta. Ehi ndị a ejighị ahụ. Ha bụ
ọkpụkpụ ọkpụkpụ, jọọ njọ ile anya. N’ezie, ahụtụbeghị m ụdị ehi dị otu a n’ala Ijipt
niile. 20 Ehi asaa ndị a jọrọ njọ riri ehi ndị ahụ buru ibu, bụ ndị bu ha ụzọ si n’osimiri
ahụ pụta. 21 Ma mgbe ha risiri ehi ndị a, nri ahụ emeghị ka ụdịdị ha gbanwee. Ha
dịkwa otu ha dị. Mgbe m hụsịrị ihe a, etetara m n’ụra.

22 “Mgbe m rọrọ nrọ ọzọ, a hụrụ m ogbe ọka asaa nke mịrị n’otu ukwu ọka. Ọka
asaa ndị a buru ibu, dị mma ile anya. 23 Ogbe ọka asaa ọzọ mịkwara n’elu ukwu
ọka ahụ, ma ndị a kpọnwụrụ akpọnwụ, fịkpọkwa afịkpọ n’ihi n’ikuku si n’ọwụwa
anyanwụ chakpọrọ ha. 24 Ma ọka ndị a fịkpọrọ afịkpọ lodara ọka asaa ndị ahụ mara
mma. Akọọlara m ndị majiki ihe ndị a, ma ọ dịghị onye n’ime ha nwere ike ịkọwara
m ihe nrọ ndị a pụtara.”

25 Mgbe ahụ, Josef sịrị Fero, “Nrọ abụọ Fero rọrọ pụtara otu ihe. Chineke esitela na
nrọ ndị a gwa Fero ihe ọ na-aga ime. 26 Ehi asaa ndị ahụ buru ibu bụ afọ asaa. Ogbe
ọka asaa ndị ahụ buru ibu bụkwa afọ asaa. Ọ bụ otu nrọ ahụ, ọ bụ ezie na ị rọrọ ya
ugboro abụọ. 27 Ehi asaa ndị ọzọ ahụ dị ọkpụkpụ ọkpụkpụ ndị pụtara mgbe ndị nke
mbụ pụtachara bụ afọ asaa. Otu a kwa ogbe ọka ndị ọzọ fịkpọrọ afịkpọ nke ikuku
si n’ọwụwa anyanwụ mere ka ha fịkpọọ bụ afọ asaa. Ha na-egosi afọ asaa mgbe oke
ụnwụ ga-adị.

28 “Dịka m gwara Fero na mbụ, Chineke egosila gị ihe ọ chọrọ ime. 29 Afọ asaa na-
abịa ga-abụ afọ asaa mgbe nri ga-adị ukwuu n’ala Ijipt niile. 30 Emesịa afọ asaa oke
ụnwụ ga-eso ha. Mgbe ahụ, a ga-echefu ụba niile nke ala Ijipt. Ụnwụ a ga-ala obodo
n’iyi. 31 Agaghị echetakwa na e nwere oge ịba ụba ihe oriri n’ala a, n’ihi oke ụnwụ
ahụ nke ga-eso ya ga-adị oke ukwuu. 32 Ihe mere Fero ji rọọ nrọ a ugboro abụọ bụ
n’ihi na Chineke ekpebiela na ihe ndị a ga-emezuriri. Chineke ga-emekwa ya n’oge
na-adịghị anya.

33 “Ma ugbu a, ka Fero chọọ onye nwere ezi nghọta na amamihe. Ya mee ya onyeisi
ọchịchị n’ala Ijipt niile. 34 Ka Fero mee nhọpụta ndị nlekọta ala Ijipt. Ka e debe otu
ụzọ n’ime ụzọ ise nke nri niile a ga-enweta n’oge ahụ nri ga-adị ukwuu n’ala Ijipt.
35 Ka ha kpokọtaa nri niile ga-adị n’oge ịba ụba nke ihe oriri, nke ga-adị n’afọ ndị a
na-abịa. Ka ha kpokọta ha n’ụlọ ichebe nri nke ga-adị n’okpuru ọchịchị Fero. Ka ọ
bụrụ nri e debere n’obodo dị iche iche. 36 A ga-echebe nri ndị a nke ọma maka ndị
bi n’ala a, ka ọ bụrụ nri a ga-eri n’ime afọ asaa ndị ahụ nke ụnwụ ga-adị n’ala Ijipt,
ka ụnwụ ghara ibibi ala a.”

37 Ntụpụta ahụ dị mma n’anya Fero na ndịisi ọchịchị ya. 38 Fero jụrụ ndịisi ọchịchị
ya, “Anyị ga-achọtali onye ọzọ dịka nwoke a, onye mmụọ nke Chineke dị n’ime ya?”

39 Ya mere Fero tụgharịrị sị Josef, “Ebe Chineke kpugheere gị ihe ndị a, o nweghị
onye ọzọ nwere ezi nghọta na amamihe dịka gị. 40 Gị onwe gị ga-abụ onye na-elekọta
ụlọeze m. Ndị m niile ga-erube isi n’iwu ọbụla i nyere. Ọ bụ naanị n’ocheeze ka m
ga-eji dị ukwuu karịa gị.”

### *Josef aghọọ onye na-achị Ijipt*

41 Fero gwara Josef, “Lee, emeela m gị onye nlekọta ala Ijipt niile.” 42 Mgbe ahụ,
Fero gbapụtara mgbaaka‡ eze ya gbanye ya Josef n’aka. O yikwasịkwara Josef uwe
e ji ezi akwa ọcha duo, nyanye ya ihe ịnya n’olu nke e ji ọlaedo kpụọ. 43 O mere ka
ọ nyaa ịnyịnya ụgbọ ya nke abụọ. Ndị oti mkpu na-etikwa n’ihu ya, “Gbuonụ ikpere
n’ala.” Otu a ka Fero si mee Josef onye na-achị ala Ijipt niile.

---

† **41:18** 41:18 Ahịhịa riidi bụ ahịhịa na-epu n’akụkụ osimiri Naịl ‡ **41:42** 41:42 Mgbaaka a na-agbanye na mkpịsịaka bụ ihe e ji emesi okwu ike. Est 3:10

44 Fero gwakwara Josef sị, "Ọ bụ mụ onwe m bụ Fero! O nweghị onye ọbụla ga-ewelita aka maọbụ ụkwụ ya n'ala Ijipt niile ma ọ bụghị site n'ike i nyere ya."
45 Fero gụrụ Josef aha Zafenat-Pania.§ Ọ kpọnyekwara ya, Asenat, nwa Pọtifera, onye nchụaja obodo a na-akpọ On,* ka ọ bụrụ nwunye ya. Josef bịara gazuo ala Ijipt.
46 Josef gbara iri afọ atọ mgbe o bidoro iguzo n'ihu Fero eze Ijipt. O si n'ihu Fero pụọ, malite ijegharị ebe niile n'ala Ijipt. 47 N'afọ asaa ahụ nke a na-eriju afọ, ala
mepụtara nri n'ebe ọ dị ukwuu. 48 N'ime afọ asaa ndị a nke nri juru ebe niile
n'Ijipt, Josef chịkọtara nri niile nke si n'ubi, ma chekwaa ha n'ụlọ e wuru maka iche nri n'obodo niile ahụ. N'obodo ọbụla, ka ọ na-etinye ihe oriri nke si n'ubi gbara ya gburugburu. 49 Josef chekwara ọka dị ukwuu n'ọnụọgụgụ, dịka aja dị n'akụkụ osimiri. A kwụsịrị ịgụ ha ọnụ n'ihi na ha hiri nne nke ukwuu nke na ha enweghị ọnụọgụgụ.
50 Tupu oge ụnwụ ahụ ebido, Asenat nwa nwanyị Pọtifera, onye nchụaja nke On, mụtara Josef ụmụ ndị ikom abụọ. 51 Josef gụrụ ọkpara ya Manase,† n'ihi na ọ sịrị, "Chineke emeela ka m chefuo ahụhụ m niile, mekwa ka m chefuo ndị ezinaụlọ nna m." 52 Josef gụrụ nwa ya nke abụọ Ifrem.‡ Ọ sịrị, "N'ihi na Chineke emeela ka m mịa mkpụrụ n'ala nke ahụhụ m."
53 Afọ asaa nke ụba nri nke dịrị n'ala Ijipt mechara gabiga. 54 Afọ asaa nke ụnwụ bidoro bịawa dịka Josef kwuru. Ụnwụ nọ n'obodo niile, ma n'ala Ijipt niile nri dị.
55 Ka agụ jidere ala Ijipt niile, ndị mmadụ tikuru Fero ka o nye ha nri. Ma Fero gwara ndị Ijipt niile, "Jekwurunụ Josef. Ihe ọbụla ọ gwara unu meenụ ya."
56 Mgbe ụnwụ ahụ gbasara ruo n'akụkụ niile nke ala ahụ, Josef meghepụrụ ụlọ ichebe nri niile bido iresi ndị Ijipt nri, n'ihi na ụnwụ ahụ dị njọ n'ala Ijipt niile.
57 Mba niile bịara Ijipt ịzụ nri site n'aka Josef n'ihi na ụnwụ ahụ dị njọ n'ụwa niile.

# 42

*Ụmụnne Josef abịaruo Ijipt*

1 Ugbu a, Jekọb nụrụ na ọka dị n'Ijipt. Ọ sịrị ụmụ ya, "Kedụ ihe anyị jiri nọrọ na-elerịta onwe anyị anya" 2 Ọ sịrị, "Lee anụrụ m na ọka dị n'Ijipt. Gbadatanụ n'ebe ahụ zụtara anyị ọka ka anyị dị ndụ ghara ịnwụ."
3 Ụmụnne Josef iri ndị ahụ gbadara Ijipt ịzụta ọka. 4 Ma Jekọb ekweghị ka Benjamin nwanne nta Josef soro ha gaa, n'ihi na ọ tụrụ egwu na ihe ndaba ọjọọ nwere ike ịbịakwasị ya. 5 Otu a, ụmụ Izrel so n'ọtụtụ ndị ọzọ ndị jekwara ịzụrụ nri n'Ijipt, n'ihi na ụnwụ ahụ dị njọ n'ala Kenan.
6 N'oge a, Josef na-achị ala Ijipt, bụrụkwa onye iresi ndị obodo ọka dị n'aka. Ya mere, mgbe ụmụnne Josef rutere, ha bịara hulata kpọọ isiala nye Josef. 7 Mgbe Josef hụrụ ụmụnne ya, ọ matara ndị ha bụ. Ma ọ kpara agwa dịka onye na-amaghị ha, gwa ha okwu n'olu ike, sị ha, "Ebee ka unu si bịa?"
Ha zara, "Anyị si ala Kenan bịa. Anyị bịara ịzụrụ nri."
8 Josef matara ụmụnne ya, ma ha onwe ha amataghị onye ọ bụ. 9 Josef chetakwara nrọ ndị ahụ ọ rọrọ banyere ha. Ọ gwara ha okwu sị ha, "Unu bụ ndị nnyocha. Ịchọpụta adịghị ike ala anyị mere unu ji bịa."
10 Ha zara sị, "Nna anyị ukwu, anyị bụ ndị ohu gị bịara ịzụrụ nri. 11 Anyị niile bụ ụmụ otu nna. Ndị ohu gị bụ ndị kwesiri ntụkwasị obi. Anyị abụghị ndị nnyopụta."
12 Ma Josef gwara ha sị, "Mba! Unu bịara ịchọpụta akụkụ obodo anyị nke a na-echezighị nke ọma."

§ **41:45** 41:45 Aha a pụtara, Onye nwere ike dị ka chi nke nwere ike ndụ na ọnwụ. * **41:45** 41:45 Pọtifera bụ onye nchụaja nke obodo On. † **41:51** 41:51 Aha a bụ Manase pụtara Nchefu. ‡ **41:52** 41:52 Ifrem pụtara Ụba.

13 Ha zara sị ya, “Ndị ohu gị dị ụmụnne iri na abụọ. Ọ bụkwa otu nna mụrụ anyị
niile. Nna anyị na nwanne anyị nta, onye ikpeazụ ọ mụrụ nọ na Kenan ugbu a. Ma
otu onye n’ime anyị anwụọla.”

14 Josef sịrị, “Ihe unu na-akọ na-egosi na unu bụ ndị nnyopụta, dịka m gwara unu.
15 Nke a ka a ga-eji anwale unu. N’aha Fero dị ndụ, unu agaghị esi n’ebe a laa tutu
nwanne unu nke nta ahụ abịa n’ebe a. 16 Zipụnụ otu onye n’ime unu ka ọ gaa kpọta
nwanne unu nwoke. Ma aga m etinye ndị fọdụrụ n’ụlọ mkpọrọ, tutu m chọpụta ma
ihe unu kwuru ọ bụ eziokwu maọbụ ụgha. Ọ bụrụ ụgha n’ezie, dịka Fero na-adị
ndụ, unu bụ ndị nnyopụta.” 17 O tinyere ha niile n’ụlọ mkpọrọ, hapụ ha n’ebe ahụ
abalị atọ.

18 Josef gwara ha, n’ụbọchị nke atọ, “Nke a bụ ihe unu ga-eme ma dị ndụ, n’ihi na
abụ m onye na-atụ egwu Chineke. 19 Ọ bụrụ na unu bụ ndị ezi mmadụ, ka otu onye
n’ime unu nọdụ n’ebe a, n’ụlọ mkpọrọ, ka ndị fọdụrụ buru ọka bulaara ndị ezinaụlọ
unu nọ n’agụụ. 20 Ma kpọtaranụ m nwanne unu nke nta n’ebe a, nke a ga-egosi na
okwu unu bụ eziokwu, na unu agaghịkwa anwụ.” Ha mere otu a.

21 Ha gwarịtara onwe ha okwu sị, “N’ezie, ọ bụ n’ihi nwanne anyị nwoke ka ahụhụ
ndị a ji abịakwasị anyị. Anyị hụrụ obi mgbawa ya, mgbe ọ na-arịọ ka anyị chebe ndụ
ya, ma anyị egeghị ya ntị. Ọ bụ nke a mere mmekpa ahụ ndị a ji bịakwasị anyị ugbu
a.”

22 Ruben zara sị ha, “Ọ bụ na mụ agwaghị unu sị unu hapụ imejọ nwantakịrị ahụ,
ma unu egeghị ntị? Ugbu a, anyị na-asa ajụjụ banyere ọbara ya.” 23 Ha amataghị na
Josef na-anụ ihe ha na-ekwu, n’ihi na onye nsụgharị okwu nọ n’etiti ha.

24 O sitere n’ebe ha nọ tụgharịa gaa kwaa akwa. Ọ lọghachikwutere ha ọzọ
gwakwa ha okwu. O si n’etiti ha kpọpụta Simiọn kee ya agbụ ka ha na-ele ya anya.

25 Josef nyere iwu ka e kpojuo ọka n’akpa ha, tinyekwara onye ọbụla ego ọ kwụrụ
n’akpa ya. Ọ nyere iwu ka e nye ha ihe ha ga-eri n’ụzọ. Mgbe e mesịrị ihe ndị a,
26 ha bokwasịrị ịnyịnya ibu akpa ọka ha n’otu n’otu. Ha hapụrụ Ijipt lawa.

27 Mgbe ha ruru ebe ha nọrọ ọnọdụ abalị, otu n’ime ha meghere akpa ya ka o nye
ịnyịnya ibu ya ọka, ọ hụrụ ego ya n’ọnụ akpa ya. 28 Ọ gwara ụmụnne ya sị, “Lee, e
tighachiri ego m kwụrụ. Lee ya n’akpa ọka m.”

Ike gwụrụ onye ọbụla n’ime ha. Site n’ahụ ịma jijiji ha lerịtara onwe ha anya sị,
“Gịnị bụ ihe a Chineke mere anyị?”

29 Mgbe ha lakwutere nna ha Jekọb n’ala Kenan, ha kọọrọ ya ihe niile dakwasịrị
ha. Ha gwara ya sị, 30 “Nwoke na-achị ala ahụ gwara anyị okwu n’olu ike. O mesoro
anyị mmeso dịka anyị bụ ndị bịara inyochapụta obodo ha. 31 Ma anyị gwara ya sị,
‘Anyị bụ ndị kwesiri ntụkwasị obi, ndị na-abụghị ndị nnyopụta obodo. 32 Anyị dị
ụmụnne iri na abụọ ndị nwere otu nna. Otu n’ime anyị anọkwaghị, ma nke ntakịrị
na nna anyị nọ na n’ala Kenan taa.’

33 “Mgbe ahụ, nwoke a, onye na-achị ala ahụ, sịrị anyị, ‘Nke a ka m ga-eji mata
ma unu bụ ndị ezi mmadụ. Hapụrụnụ m otu nwanne unu. Burunu ọka, bulaara ndị
ezinaụlọ unu agụụ na-agụgbu. 34 Ma kpọtara m nwanne unu nke nta. Mgbe ahụ ka
m ga-ama ihe unu bụ. Ma unu bụ ndị nnyopụta maọbụ ndị ezi mmadụ. Mgbe ahụ,
aga m ahapụrụ unu nwanne unu. Unu ga na-azụkwa ahịa n’ala a.’ ”

35 Mgbe ha bidoro ịwụpụtasị ọka dị n’akpa ha, lee, n’ime akpa ọka onye ọbụla, a
chọtara ego ọ kwụrụ n’akpa ya. Mgbe ha na nna ha hụrụ ego ndị a, ha tụrụ egwu.
36 Ya mere, nna ha Jekọb gwara ha sị, “Unu agbawala m aka ụmụ. Josef anọghị,
Simiọn anọkwaghị. Ma unu na-achọ iwezuga Benjamin. Naanị m ka ihe niile ndị a
na-emegide!”

37 Mgbe ahụ, Ruben gwara nna ya sị, “I nwere ike gbuo ụmụ m ndị ikom abụọ ma
ọ bụrụ na m akpọghachighị Benjamin. Tifee ya n’aka m, aga m akpọghachikwara
gị ya.”
38 Ma Jekọb sịrị, “Nwa m agaghị eso unu gaa. N’ihi na nwanne ya anwụọla, ọ
bụkwa naanị ya ka ọ fọdụrụ. Ọ bụrụ na nsogbu ezute ya n’ụzọ n’ije a, unu ga-eme
ka m jiri isi awọ m laa n’ili n’ọnọdụ mwute.”

# 43

*Njeru Ijipt nke ugboro abụọ*

1 Ma ụnwụ a siri oke ike n’ala ahụ n’oge a. 2 O ruo, mgbe ha richara nri ha zụtara
n’Ijipt, nna ha gwara ha sị, “Jeghachinụ, zụtara anyị ntakịrị nri.”
3 Juda gwara nna ya bụ Jekọb sị, “Nwoke ahụ dọsiri anyị aka na ntị ike sị, ‘Unu
agaghị ahụ ihu m ma ọ bụrụ na nwanne unu esoghị unu bịa.’ 4 Ọ bụrụ na ị ga-
edunyere anyị nwanne anyị, anyị ga-agbada gaa zụtara gị nri. 5 Ma ọ bụrụ na ị gaghị
edunyere anyị ya, anyị agaghị agbada, n’ihi na nwoke a sịrị anyị, ‘Unu agaghị ahụ
ihu m ma ọ bụrụ na nwanna unu esoghị unu.’ ”
6 Mgbe ahụ Izrel sịrị, “Gịnị mere unu ji wetara m nsogbu dị otu a, site n’ịgwa
nwoke ahụ na unu nwere nwanne ọzọ.”
7 Ha zara sị, “Nwoke a jụrụ anyị ajụjụ dị iche iche banyere onwe anyị, na ndị
ezinaụlọ anyị. Ọ sị, ‘Nna unu, ọ dị ndụ ugbu a? Unu nwere nwanne ọzọ?’ Ya mere,
anyị zara ajụjụ niile. O nweghị otu anyị siri mara na ọ ga-asị anyị kpọta nwanne
anyị.”
8 Mgbe ahụ, Juda sịrị nna ya Izrel, “Dunye m nwantakịrị a ka anyị bilie gawa, ka
anyị dị ndụ ghara ịnwụ, ma anyị onwe anyị, ma gị, ma ụmụntakịrị anyị. 9 Aga m eji
onwe m gbaa ebe n’ihi ya. I nwere ike itife ya n’aka m. Ọ bụrụ na m akpọtaghachighị
ya, kpọbata ya n’ihu gị, mgbe ahụ, ịta ụta bụrụ nke m n’ihu gị, n’ụbọchị ndụ m niile.
10 A sị nnọọ na anyị egbughị oge niile a, anyị gaara aga ma lọtakwarị ugboro abụọ.”
11 Mgbe ahụ nna ha Izrel gwara ha sị, “Ọ bụrụ na ọ ga-adịrịrị otu a, gịnị ọzọ ka
anyị ga-eme. Kama mgbe unu na-aga, werenụ n’akpa unu onyinye ịnata ihuọma
nke bụ ihe niile kachasị mma nke si n’ala a welaara nwoke a. Werenụ nwantịntị
mmanụ otite, na nwantịntị mmanụ aṅụ, ha na ụda dị iche iche, na eso osisi máá,
na akụ, na alụmọnd. 12 Werekwanụ ego okpukpu abụọ n’aka unu. Weghachirinụ ya
ego ahụ e tinyere n’ọnụ akpa unu, eleghị anya ọ bụ n’ohihie anya ka ha ji tinye ya.
13 Ngwa, kpọrọnụ nwanne unu nwoke bilienụ laghachikwurunụ nwoke ahụ. 14 Ka
Chineke Onye pụrụ ime ihe niile, mee ka nwoke ahụ nwee obi ebere n’ebe unu nọ.
Ya meekwa ka o nwee ike ịhapụrụ unu nwanne unu Simiọn na Benjamin ka ha soro
unu lọta. Ọ bụrụkwanụ uche Chineke na m ga-agbara aka ụmụ, ya mee dịka o si
chọọ.”
15 Ya mere, ndị ikom ahụ weere onyinye ndị a, na okpukpu ego abụọ n’aka, ma
kpọrọkwa Benjamin. Ha biliri ije. Garuo Ijipt, ma guzo n’ihu Josef. 16 Mgbe Josef
lepụrụ anya hụ Benjamin n’etiti ha, ọ gwara onye na-elekọta ụlọ ya sị, “Duru ndị
ikom ndị a gaa n’ụlọ. Gbuo anụ, kwadoo nri, n’ihi na ndị a ga-eso m rie nri ehihie.”
17 Odibo a mere dịka Josef ziri ya. O duuru ndị ikom ndị ahụ gaa n’ụlọ Josef. 18 N’oge
a, mgbe a kpọbatara ha n’ụlọ, ndị ikom ndị ahụ tụrụ ụjọ, n’ihi na a kpọbatara ha
n’ime ụlọ Josef. Ha sịrị, “Ọ bụ n’ihi ego ahụ e tighachiri n’akpa anyị n’oge mbụ ka e
ji kpọbata anyị, ka o nwee ike ịchọta ụzọ ọ ga-esi megide anyị, mesie anyị ike, si otu
a were anyị na ịnyịnya ibu anyị dịka ndị ohu ya.”
19 Ha bịaruru odibo Josef ahụ nso gwa ya okwu n’ọnụ ụzọ ụlọ ahụ. 20 Ha sịrị ya,
“Nna anyị ukwu, anyị bịara ebe a n’oge mbụ ịzụ ihe oriri. 21 Ma, mgbe anyị rutere
ebe anyị nọrọ ọnọdụ abalị, anyị meghere akpa anyị, chọpụta ego anyị kwụrụ n’ihi

nri ahụ anyị zụrụ ka ọ dị n'ọnụ akpa anyị n'otu na otu. E sepụkwaghị ya ihe ọ bụla.
Ya mere, anyị weghachiri ya n'oge a. 22 Anyị jikwa ego ọzọ anyị ga-eji zụọ ihe oriri.
Ma anyị amaghị onye tinyere ego ahụ n'ime akpa anyị."
23 Odibo ahụ zara sị ha, "Udo dịrị unu, unu atụla egwu, n'ihi na Chineke unu, na
Chineke nna unu enyela unu akụ zoro ezo n'ime akpa unu. Ego unu kwụrụ ruru m
aka." Mgbe ahụ, ọ hapụrụ ha gaa kpọpụta Simiọn.
24 N'oge ahụ, odibo ahụ duuru ndị ikom ndị ahụ bata n'ụlọ Josef, nye ha mmiri ha
ji saa ụkwụ ha. O nyekwara ịnyịnya ibu ha nri. 25 Mgbe ahụ, ụmụ Jekọb kwadoro
onyinye ịnata ihuọma ha ji bịa, nke ha ga-enye Josef ma ọ bata n'etiti ehihie, n'ihi
na ha anụla na ha ga-eri nri n'ebe ahụ.
26 Mgbe Josef lọtara ụlọ, ha wetaara ya onyinye dị n'aka ha, daa n'ala, kpọọ isiala
nye ya. 27 Josef jụrụ ha ajụjụ banyere ọdịmma ha, jụọkwa ha sị, "Agadi nna unu, nke
unu gwara m ihe banyere ya, ahụ ọ dịkwa ya? Ọ ka dịkwa ndụ."
28 Ha zaghachiri sị ya, "Ahụ dị ohu gị bụ nna anyị. Ọ ka nọ ndụ." Ha hulatara isi
ha, kpọọ isiala nye ya.
29 Mgbe Josef welitere anya ya elu hụ nwanne ya Benjamin, onye bụ nwanne afọ ya,
ọ jụrụ ha ajụjụ sị, "Onye a ọ bụ nwanne unu nke nta ahụ unu gwara m ihe banyere
ya?" Tupu ha asaa ya ihe ọbụla, o lere Benjamin anya sị ya, "Ka amara Chineke dịrị
gị, nwa m nwoke." 30 Mgbe ahụ kwa Josef mere ọsịịsọ pụọ n'ezi ịchọ ebe ọ ga-akwa
akwa n'ihi na ọhụhụ ọ hụrụ nwanne ya anya ọzọ metụrụ ya nnọọ n'obi. Ọ pụrụ
banye n'ime ụlọ ya kwaa akwa.
31 Emesịa, ọ sara ihu ya, pụta, jisie onwe ya ike nye odibo ya iwu ka o bute nri ahụ.
32 Ha doziiri ya nri nke ya iche, doziekwara ụmụnne ya nri nke ha iche. Otu a kwa,
ha dozikwaara ndị Ijipt ya na ha na-erikọ nri, nri nke ha iche. N'ihi na ọ bụ ihe arụ
n'anya ndị Ijipt na ha na ndị Hibru ga-erikọta nri ọnụ. 33 Ma mgbe e nyere ha ọnọdụ
n'ihu Josef, e mere ka ha nọdụ dịka ha si tọọ ibe ha. Nke ọkpara buru ụzọ nọdụ,
onye na-eso ya anọdụkwa. Otu a ka ha niile siri nọdụ ruo n'onye ikpeazụ n'ime ha.
Ha lerịtara onwe ha anya n'ihi na o juru ha anya. 34 O sitekwara na nri e doziri ya
nyebinye ha nri. Nri e nyere Benjamin dị ukwuu okpukpu ise karịa nri nke e nyere
ha niile. Ha na ya riri, ṅụọkwa n'uju.

# 44

*Iko ọlaọcha a chọtara n'akpa*

1 Mgbe ahụ Josef nyere odibo nọ n'ụlọ ya iwu sị, "Gbajuo akpa ndị ikom ndị a nri.
Tinyere ha nri nke onye ọbụla n'ime ha nwere ike ibu, tinyekwa ego nke onye ọbụla
n'ime ha kwụrụ n'ọnụ akpa ya. 2 Ma tinye iko ọlaọcha m n'ime ọnụ akpa onye nke
nta n'ime ha. Tinyekwa ego ọ kwụrụ n'ihi nri ọ zụrụ n'ime akpa ya." Odibo a mere
dịka Josef gwara ya.
3 Mgbe chi bọrọ, ha zipụrụ ndị ikom ndị a, ha na ịnyịnya ibu ha. 4 Mgbe ha ji naanị
ihe nta gafee obodo ahụ, Josef gwara odibo ya sị, "Bilie, chụso ndị ikom ndị ahụ ọsọ.
I zute ha, sị ha, 'Gịnị mere unu ji were ihe ọjọọ kwụghachi ihe ọma? 5 Gịnị mere
unu ji zuru iko ọlaọcha nna m ukwu, iko o ji aṅụ ihe ọṅụṅụ na nke o ji ajụ ase? Unu
emeela ihe ọjọọ n'ihi ihe a unu mere.' "
6 Mgbe odibo ahụ zutere ha, ọ gwara ha ihe ndị a. 7 Ma ha zara sị ya, "Nna anyị
ukwu, gịnị mere i ji ekwu ụdị okwu ndị a? Ihe arụ ka ọ bụ anyị ime ihe dị otu a.
8 Lee, ego anyị chọtara n'ọnụ akpa anyị ka anyị sitere n'ala Kenan weghachi. Olee
otu anyị ga-esi zuru ọlaedo maọbụ ọlaọcha site n'ụlọ nna gị ukwu? 9 Onye ọbụla
n'ime anyị a chọtara iko a n'aka ya ga-anwụ. Anyị onwe anyị ga-aghọrọ nna anyị
ukwu ndị ohu."

10 Odibo ahụ zara sị ha, “Ka ọ dịrị dịka unu kwuru. Onye ọbụla a chọtara ya n’aka
ga-abụ ohu m. Ma ndị a na-achọtaghị ya n’aka ha enweghị ịta ụta ọbụla.”

11 Ha mere ngwangwa, onye ọbụla tọdatara akpa ya. Onye ọbụla kwa meghere
akpa ya. 12 Odibo ahụ malitere n’onye ukwu n’etiti ha chọọ rute n’onye nta. Ọ bụ
n’akpa Benjamin ka a chọtara iko ahụ. 13 Mgbe ahụ, ha dọwara uwe ha n’ihi mwute.
Onye ọbụla n’ime ha tighachiri ibu ya n’elu ịnyịnya ibu ya. Ha niile bidokwara
ịlaghachi azụ n’obodo ha si pụta.

14 Mgbe Juda na ụmụnne ya lọghachiri n’ụlọ Josef, ha hụrụ Josef ka ọ nọ n’ebe
ahụ. Ha dara n’ala n’ihu ya. 15 Ma Josef jụrụ ha sị, “Gịnị bụ ihe a unu mere? Ọ bụ
na unu amataghị na onye dịka m nwere ike ịmata onye zuru iko m?”

16 Ya mere Juda sị ya, “Gịnị ka anyị ga-ekwu? Olee otu anyị ga-esi gosi n’aka anyị
dị ọcha? Chineke ekpugheela ikpe ọmụma ndị ohu gị. Lee, anyị bụkwa ndị ohu
onyenwe m. Anyị onwe anyị, tinyekwara onye a chọtara iko ahụ n’aka ya.”

17 Ma Josef sịrị, “Ọ ga-abụrụ m ajọ omume ime ihe dị otu ahụ. Naanị nwoke ahụ
a chọpụtara iko ahụ n’akpa ya bụ onye ga-abụ ohu m. Ma unu onwe unu nwere ike
laa n’udo jekwuru nna unu n’udo.”

### *Arịrịọ n’ihi Benjamin*

18 Juda jekwuuru ya, sị, “Biko, onyenwe m, kwere ka ohu gị gwa gị okwu. Ewesola
mụ bụ ohu gị iwe n’ihi na ị nọ ọnọdụ dị ka Fero. 19 Onyenwe m, ọ bụ gị jụrụ ndị
ohu gị ajụjụ sị, ‘Unu nwere nna maọbụ nwanne?’ 20 Anyị zara sị, ‘Anyị nwere nna
onye bụ agadi, na otu nwa nwoke ọ mụtara n’agadi ya. Nwanne nwantakịrị nwoke
a anwụọla, ya mere naanị otu a fọdụrụ n’ime ụmụ nke nne ha mụtara. Nna ya
hụkwara ya n’anya.’

21 “Mgbe ahụ, ị sị ndị ohu gị, ‘Kpọta nwantakịrị a ka m hụ ya anya.’ 22 Ma anyị
gwara onyenwe m sị na ‘Nwata a apụghị ịhapụ nna ya, n’ihi na nna ya ga-anwụ ma
ọ bụrụ na ọ hapụ ya.’ 23 Ma ị gwara ndị ohu gị sị, ‘Unu agaghị ahụ ihu m anya ọzọ,
ma ọ bụrụ na nwanne unu a esoghị unu gbadata.’ 24 Mgbe anyị lakwuuru ohu gị bụ
nna anyị, anyị gwara ya okwu onyenwe m kwuru.

25 “Mgbe nna anyị gwara anyị sị, ‘Laghachi gaa zụta nri,’ 26 anyị gwara ya na, ‘Anyị
agaghị agbada ma ọ bụrụ na nwanne anyị nta agaghị eso anyị. N’ihi na anyị enweghị
ike ịhụ nwoke ahụ anya, ma ọ bụrụ na nwanne anyị nta esoghị anyị.’

27 “Oge ahụ, ohu gị bụ nna anyị sịrị anyị, ‘Unu maara na nwunye m mụụrụ m
ụmụ nwoke abụọ. 28 Otu n’ime ha funarịrị m, mgbe anụ ọhịa dọkasịrị ya iperipe na
iperipe. Ruo ugbu a, ahụbeghị m ya anya. 29 Ọ bụrụ na unu anapụkwa m onye nke
a, si otu a mee ka ihe ọjọọ zute ya, ọ pụtara na unu ga-eme ka m jiri isi awọ m laa
n’ili n’ọnọdụ obi ọjọọ?’

30 “Ya mere, ọ bụrụ na m alaghachikwute ohu gị, bụ nna anyị, ma nwantakịrị a
esoghị anyị, ebe ọ bụ na e kekọtara ndụ nna anyị na ndụ nwantakịrị a, 31 mgbe ọ ga-
ahụ na nwantakịrị a esoghị anyị, ọ ga-anwụ. Mgbe ahụ, anyị bụ ndị ohu gị, ga-eme ka
nna anyị jiri isi awọ laa n’ili n’ọnọdụ obi ọjọọ. 32 Biko, onyenwe m, eji m ndụ m zọọrọ
nna m ebe na m ga-elezi nwantakịrị a anya. Asị m ya, ‘Ọ bụrụ na m akpọghachighị
nwantakịrị a nye gị, ka ịta ụta bụrụ nke m n’ihu gị bụ nna m n’ụbọchị niile nke ndu
m.’

33 “Ya mere ugbu a, biko, ka ohu gị nọdụ dịka ohu onyenwe m n’ọnọdụ nwantakịrị
a, ka nwantakịrị a soro ụmụnne ya laghachikwuru nna anyị. 34 Aga m esi aṅaa
laghachikwuru nna m ma ọ bụrụ na mụ na nwantakịrị a esoghị? Enweghị m ike
ilekwasị ihe ọjọọ ga-adakwasị nna m anya.”

# 45

*Ụmụnne Josef amara onye ọ bụ*

[1] N’oge a, Josef enwekwaghị ike ijite onwe ya aka n’ihu ndị na-ejere ya ozi. O
welitara olu sị, “Zipụnụ onye ọbụla site n’ebe m nọ.” Ya mere, o nweghị onye ya na
Josef nọ mgbe ọ kọọrọ ụmụnne ya onye ọ bụ. [2] O tiri mkpu akwa nke ndị Ijipt nụrụ,
na nke ndị ụlọ Fero nụkwara.
[3] Josef gwara ụmụnne ya sị, “Mụ onwe m bụ Josef. Nna m ọ ka nọ ndụ ugbu a?”
Ma ụmụnne ya enweghị ọnụ ha ji asa ya, n’ihi na oke egwu jidere ha n’ihu ya.
[4] Mgbe ahụ, Josef sịrị ụmụnne ya, “Biko, bịanụ m nso.” Mgbe ha bịara ya nso, ọ sịrị
ha, “Abụ m nwanne unu, Josef, onye unu rere ree gaa Ijipt. [5] Ma otu ọ dị, ka ọ ghara
iwute unu, unu atakwala onwe unu ụta n’ihi orure unu rere m. N’ihi na ọ bụ n’ihi
ichebe ndụ unu ka Chineke ji buru ụzọ zite m n’ebe a. [6] Oge ụnwụ agwụchabeghị.
Ọ bụ ezie na afọ abụọ nke oke ụnwụ agafeela, ma ọ fọdụrụ afọ ise ọzọ n’ihu, oge a
na-agaghị akọ ihe ọbụla n’ala, maọbụ iwere ihe ọbụla n’ubi. [7] Chineke zitere m ka
m buru ụzọ bịa n’ebe a n’ihi ime ka ndụ fọdụrụ unu n’ụwa, na ịzọpụta ndụ unu site
n’ụzọ nnapụta dị oke egwu.
[8] “Ya mere, ọ bụghị unu zitere m n’ebe a, kama ọ bụ Chineke. Ya onwe ya emeela
ka m ghọọrọ Fero nna, na onyeisi ezinaụlọ ya niile, na onye na-achị ala Ijipt niile.
[9] Ugbu a, meenụ ngwa lakwuru nna m, sị ya, ‘Ihe ndị a ka Josef nwa gị nwoke kwuru,
Chineke emeela m onye na-achị Ijipt niile. Egbula oge ịbịakwute m. [10] Ị ga-ebi n’ala
Goshen,* ka i nwee ike ịnọ m nso, gị na ụmụ gị, na ụmụ ụmụ gị, na igwe ewu na
atụrụ gị, na igwe ehi gị, na ihe niile i nwere. [11] N’ebe ahụ ka m ga-enyekwa gị ihe
ị chọrọ, n’ihi na ụnwụ afọ ise ka dị n’ihu na-abịa. Ọ bụrụ na i meghị otu a, gị na
ezinaụlọ gị na ihe niile bụ nke gị ga-ada ụkpa.’
[12] “N’ezie, anya unu na n’anya nwanne m Benjamin, ahụla na mụ onwe m ji ọnụ
m na-agwa unu okwu ndị a. [13] Unu ga-akọrọ nna m maka nsọpụrụ niile a na-enye m
n’ala Ijipt na ihe niile unu hụrụ. Kpọtakwanụ nna m ọsịịsọ ebe a.”
[14] Ugbu a, ọ dakwasịrị n’olu Benjamin, nwanne ya, kwaa akwa. Benjamin jidekwara
ya n’olu kwaa akwa. [15] Emesịa, o suturu ụmụnne ya niile ọnụ, bekwasịkwa ha akwa.
N’ikpeazụ, ụmụnne ya kpanyeere ya ụka.
[16] Mgbe akụkọ a ruru ụlọ Fero na ụmụnne Josef bịara, ọ tọrọ Fero na ndịisi ozi
niile ya ụtọ. [17] Fero gwara Josef sị ya, “Gwa ụmụnne gị, ka ha mee ihe otu a, ha
bokwasị ịnyịnya ibu unu ibu laghachikwa n’ala Kenan. [18] Ha ruo, ha kpọta nna gị,
na ezinaụlọ ha, ka ha lọghachikwute m n’ala Ijipt. N’ihi na aga m enye ha ala kachasị
mma n’Ijipt. Ha onwe ha ga-erikwa uru ala ahụ.
[19] “Gwakwa ụmụnne gị okwu sị ha, ‘Sitenụ n’ala Ijipt were ụgbọala, nke unu ga-eji
budata ndị nwunye unu na ụmụntakịrị unu. Dutekwanụ nna unu. [20] Unu esogbula
onwe unu banyere ngwa ụlọ unu, n’ihi na ihe niile dị mma n’ala Ijipt bụ nke unu.’ ”
[21] Ya mere ụmụ Izrel mere ihe ndị a. Josef nyere ha ụgbọala dịka Fero nyere n’iwu.
O nyekwara ha nri ha ga-eri n’ụzọ. [22] O nyere onye ọ bụla n’ime ha uwe mgbanwe
ọhụrụ, ma o nyere Benjamin narị shekel ọlaọcha atọ, na uwe mgbanwe ise. [23] O
zipụụrụ nna ya ihe ndị a: ịnyịnya ibu iri ndị e bokwasịrị ihe mara mma niile si n’ala
Ijipt, na nne ịnyịnya ibu iri ndị e bokwasịrị ọka na achịcha, na ihe ndị ọzọ dị iche
iche, n’ihi ije ya. [24] O zipụrụ ụmụnne ya. Ma oge ha na-achọ ịhapụ ya, ọ gwara ha
sị, “Unu esekwala okwu n’ụzọ.”
[25] Mgbe ahụ, ha hapụrụ ala Ijipt mechaa rute ala Kenan, bịakwute Jekọb nna ha.
[26] Ha gwara ya sị, “Josef ka nọ ndụ. N’ezie, ọ bụ ya na-achị ala Ijipt niile.” Ma o siiri
Jekọb ike ịnabata akụkọ a. O kwenyeghị na ọ bụ eziokwu. [27] Ma mgbe ha gwasịrị

* **45:10** 45:10 Ala Goshen bụ ala na-emepụta nri n’ebe ọ dị ukwuu. Ọ dị na mpaghara akụkụ ọnụ mmiri osimiri Naịl.

ya ihe niile Josef gwara ha, mgbe ọ hụkwara ụgbọala niile Josef zitere ka e jiri bute
ya, mmụọ nna ha Jekọb lọghachiri. 28 Mgbe ahụ Izrel kwuru sị, “Ekwetala m! Josef
nwa m ka dị ndụ. Aga m aga hụ ya anya tupu m nwụọ.”

# 46

*Jekọb abịaruo Ijipt*

1 Izrel biliri ije, ya na ihe niile o nwere rute Bịasheba. Ebe a, ọ chụrụ aja nye
Chineke nke nna ya Aịzik.

2 Chineke gwara Izrel okwu n’ọhụ nke abalị. Ọ sịrị, “Jekọb! Jekọb!”

Ọ zara sị, “Lee m n’ebe a.”

3 Chineke gwara ya sị, “Abụ m Chineke, Chineke nke nna gị. Atụla egwu ịgbada
Ijipt n’ihi na aga m eme gị ka ị ghọọ mba dị ukwuu n’ebe ahụ. 4 Mụ onwe m ga-eso
gị agbada n’ala Ijipt. Mụ onwe m ga-akpọlatakwa gị ọzọ. Josef n’onwe ya ga-eji aka
ya ekpuchikwa gị anya.”

5 Jekọb mechara si na Bịasheba pụta. Ụmụ Izrel kuuru Jekọb nna ha, na ụmụaka
ha na ndị nwunye ha, kubanye n’ụgbọala ahụ Fero zitere ka ha ji bute ya. 6 Ha
buuru anụ ụlọ ha niile, na ihe onwunwe ha niile, nke ha kpatara n’ala Kenan, gaa
Ijipt. Jekọb na agbụrụ ya niile so. 7 Ụmụ ya ndị ikom niile, na ụmụ ụmụ ya ndị ikom
niile, na ụmụ ya ndị inyom niile, na ụmụ ụmụ ya ndị inyom niile, na ndị niile bụ
mkpụrụ afọ ya, ka ọ kpọrọ gaa Ijipt.

8 Ndị a bụ aha ụmụ ndị ikom Izrel, ya bụ Jekọb na ụmụ ụmụ ya, ndị sooro
ya gaa Ijipt.

Ruben, ọkpara Jekọb

9 Ụmụ ndị ikom Ruben bụ,
Hanok, na Palu, na Hezrọn na Kami.

10 Ụmụ ndị ikom Simiọn bụ,
Jemuel, na Jamin, na Ohad, na Jakin, na Zoha, na Shaul. Nne Shaul bụ nwanyị Kenan.

11 Ụmụ ndị ikom Livayị bụ,
Geshọn, na Kohat, na Merari.

12 Ụmụ ndị ikom Juda bụ,
Ịa, na Onan, na Shela, na Perez, na Zera. Ma Ịa na Onan nwụrụ n’ala Kenan.
Ụmụ ndị ikom Perez bụ,
Hezrọn na Hamul.

13 Ma ụmụ ndị ikom Isaka bụ,
Tola, na Puva, na Jashub, na Shịmrọn.

14 Ụmụ ndị ikom Zebụlọn bụ,
Sered, na Elọn, na Jaliil.

15 Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Lịa mụụrụ Jekọb n’ala Padan Aram. Ọ mụtakwara
otu nwanyị aha ya bụ Daịna. Ụmụ ndị ikom na ndị inyom ndị a dị iri atọ
na atọ.

16 Ụmụ ndị ikom Gad bụ,
Zefọn, na Hagi, na Shuni, na Ezbon, na Eri, na Arodi na Areli.

17 Ụmụ ndị ikom Asha bụ,
Imna, Ishva, Ishvi na Beriya. Nwanne ha nwanyị bụ Sera.
Ụmụ Beriya bụ,
Heba na Malkiel.

18 Ndị a bụ ụmụ a mụụrụ Jekọb site na Zilpa, odibo nwanyị ahụ Leban kpọnyere Lịa nwa ya nwanyị. Ha dị iri na isii n'ọnụọgụgụ.

19 Ụmụ ndị ikom Jekọb site na Rechel nwunye ya bụ,
Josef na Benjamin.
20 N'ala Ijipt, a mụụrụ Josef Manase na Ifrem, site na nwunye ya Asenat nwa nwanyị Pọtifera, onye nchụaja nke On.
21 Ụmụ ndị ikom Benjamin bụ,
Bela, Beka, Ashbel, Gera, Neeman, Ehi, Rosh, Mupim, Hupim na Aad.
22 Ndị a bụ ndị ikom nke Rechel mụụrụ Jekọb. Ha dị iri na anọ.

23 Nwa nwoke nke Dan mụrụ bụ,
Hushim.
24 Ụmụ ndị ikom Naftalị bụ,
Jaziil, na Guni, na Jeza, na Shilem.
25 Ndị a bụ ụmụ ndị ikom a mụụrụ Jekọb site na Bilha, odibo nwanyị ahụ Leban kpọnyere nwa ya nwanyị Rechel. Ha niile dị asaa.

26 Ya mere, ndị niile so Jekọb gaa Ijipt, ndị bụ ụmụ ụmụ ya, na-agụghị ndị
nwunye ụmụ Jekọb niile, dị iri mmadụ isii na isii. 27 Tinyere ụmụ ndị ikom
abụọ amụtara nye Josef n'Ijipt, ndị si n'ezinaụlọ Jekọb gara Ijipt dị iri asaa.

28 Jekọb zipụrụ Juda ka jekwuru Josef ịjụta ya ụzọ Goshen. Mgbe ha rutere n'ala
Goshen, 29 Josef kwadoro ịnyịnya ụgbọ ya gawa Goshen izute nna ya Izrel. Mgbe
Josef bịara n'ihu nna ya, ọ makụrụ ya, bee akwa ogologo oge.
30 Izrel gwara Josef sị, "Ugbu a ejikerela m ịnwụ, ebe m hụrụ ihu gị anya ọzọ, mata
na ị ka dị ndụ."
31 Mgbe ahụ, Josef gwara ụmụnne ya na ndị ezinaụlọ nna ya niile sị, "Ka m gaa
kọọrọ Fero. Ka m gaa sị ya, 'Ụmụnne m na ezinaụlọ nna m, ndị bi n'ala Kenan
abịakwutela m. 32 Ha bụ ndị ọzụzụ atụrụ, ndị na-elekọta anụ ụlọ. Ha chị igwe ewu
na atụrụ ha, na igwe ehi ha, na ihe niile ha ji biri.' 33 Ya mere, ọ bụrụ na Fero akpọ
unu jụọ unu ajụjụ sị, 'Gịnị bụ ọrụ aka unu?' 34 Unu ga-asị ya, 'Ndị ohu gị bụ ndị
ọzụzụ anụ ụlọ site na mgbe anyị bụ ụmụnta, dịka nna nna anyị ha bụ.' Mgbe ahụ,
ọ ga-ekwe ka unu biri n'ala Goshen. N'ihi na ndị niile na-azụ ewu na atụrụ bụ ndị
akpọrọ asị n'ala Ijipt."

# 47

1 Josef gara gwa Fero sị, "Nna m na ụmụnne m ejirila igwe ewu na atụrụ ha, igwe
ehi ha na ihe niile ha nwere site n'ala Kenan bịa n'ebe a. Ha nọ n'ala Goshen."
2 Mgbe ọ gara ịgwa Fero okwu, o duuru mmadụ ise n'etiti ụmụnne ya ndị ikom gosi
ha Fero.
3 Fero jụrụ ụmụnne ya ajụjụ sị ha, "Gịnị bụ ọrụ aka unu?"
Ha zara sị ya, "Ndị ohu gị bụ ndị ọzụzụ atụrụ dịka nna nna anyị ha." 4 Ha kwukwara
sị, "Anyị bịara ịnọ dịka ọbịa n'ala a n'ihi na ụnwụ a siri oke ike n'ala Kenan. O nweghị
nri igwe ewu na atụrụ anyị nwere iri n'ala ahụ. Ya mere, anyị na-arịọ ka i nye ndị
ohu gị ike ka ha biri n'ala Goshen."
5 Fero gwara Josef sị, "Nna gị na ụmụnne gị abịakwutela gị. Ha biri n'ala Goshen.
6 Ala Ijipt dịkwa gị n'ihu. Họrọ ebe ọbụla masịrị gị nke dịkwa ezi mma nye nna gị na
ụmụnne gị ka ha biri. Ka ha biri na Goshen. Ọ bụrụkwa na ị maara ndị ikom n'etiti
ha ndị nwere ike, mee ha ndị na-elekọta igwe anụ ụlọ m."

7 Josef kpọtara nna ya Jekọb, mee ka o guzo n'ihu Fero. Jekọb nọ n'ebe ahụ gọzie
Fero. 8 Fero jụrụ Jekọb sị, "Ị gbaala afọ ole ugbu a?"
9 Jekọb zara Fero sị ya: "Ebiela m dịka onye ọbịa narị afọ na iri afọ atọ. Ọnụọgụgụ afọ ndị a ehighị nne, ma ha jupụtara n'ahụhụ na nsogbu. Ma a nọrubeghị m ọnụọgụgụ afọ nna m ha gbara mgbe ha biri n'ụwa dịka ọbịa."
10 Jekọb gọziri Fero,
site n'ihu ya pụọ.
11 Ya mere, Josef mere ka nna ya na ụmụnne ya biri n'ala Ijipt. O nyere ha ala kachasị mma n'ala ahụ na mpaghara Ramesis, dịka Fero nyere n'iwu.
12 Josef nyere
nna ya na ụmụnne ya na ezinaụlọ nna ya nri dịka ọnụọgụgụ nke ụmụ ha si dị.

### *Ụnwụ na ụkọ nri*

13 Ma nri adịghị n'ala ahụ niile n'ihi na ụnwụ ahụ dị nnọọ njọ. Ihe siri ike n'ala Ijipt ma n'ala Kenan n'ihi ụnwụ a.
14 Josef chịkọtara ego niile dị n'ala Ijipt, na n'ala Kenan, nke ndị mmadụ ji kwụọ ụgwọ nri ha zụrụ webata ha n'ụlọeze Fero.
15 Mgbe
ego niile dị ndị mmadụ n'aka gwụchara n'ala Ijipt ma n'ala Kenan, ndị Ijipt niile bịakwutere Josef sị ya, "Nye anyị nri, gịnị mere anyị ga-eji nwụọ n'ihu gị? Ego anyị agwụla."
16 Mgbe ahụ Josef zara sị ha: "Jirinụ anụ ụlọ unu kwụọ ụgwọ nri m ga-enye unu, ebe ọ bụ na ego unu agwụla."
17 Ya mere, ha kpụtaara Josef anụ ụlọ ha. Josef nyere
ha nri n'ọnọdụ ịnyịnya ha, na atụrụ ha, na ewu ha, na ehi, na ịnyịnya ibu ha. O were nri zụọ ha n'afọ ahụ n'ọnọdụ anụ ụlọ ha niile.
18 Mgbe afọ ahụ gafesịrị, ha bịakwutekwara ya n'afọ nke ọzọ sị ya, "Anyị agaghị ezoro onyenwe anyị na ego anyị agwụla, na igwe anụ ụlọ anyị bụkwa nke gị. O nweghị ihe ọzọ fọdụrụ anyị karịa ahụ anyị na ala anyị.
19 Gịnị mere anyị ga-eji nọọ
n'agụụ n'ihu gị? Zụrụ anyị na ala anyị n'ọnọdụ ụgwọ anyị ga-akwụ maka nri ị ga-enye anyị. Ka anyị na ala anyị bụrụ ndị ohu Fero. Nye anyị mkpụrụ ubi ka anyị dịrị ndụ ghara ịnwụ, ka ala a ghara ịbụ ihe tọgbọrọ n'efu."
20 Ya mere, Josef zụtaara Fero ala Ijipt niile. Ndị Ijipt niile n'otu n'otu rere ala ha n'ihi oke ụnwụ ahụ dakwasịrị ha. Mgbe ahụ, ala ha niile ghọrọ nke Fero.
21 Ya mere,
Josef si otu a mee ka ndị Ijipt niile ghọọ ndị ohu Fero, site n'otu obodo n'ala ahụ ruo na nke ọzọ ya.
22 Ala nke Josef na-azụtaghị n'oge a bụ naanị ala ndị nchụaja. N'ihi
na ndị nchụaja si n'aka Fero na-enweta nri ha site n'oge ruo n'oge. Ha nwekwara nri na-ezuru ha site na oke ahụ Fero na-enye ha. Ya mere ha ereghị ala ha.
23 Mgbe ahụ, Josef gwara ndị mmadụ ahụ niile okwu sị, "Lee, azụọla unu taa, zụkwaa a ala unu nye Fero.
24 N'oge owuwe ihe ubi, otu ụzọ n'ime ụzọ ise nke ihe
unu nwetara n'ubi unu bụ nke Fero. Deberenụ onwe unu ụzọ anọ fọdụrụ ka ọ bụrụ ihe unu ga-akụ n'ubi na ihe unu ga-eri na ihe ndị ezinaụlọ unu, na nke ụmụntakịrị unu ga-eri."
25 Ha zara sị ya, "Ị zọpụtala ndụ anyị. Ka anyị hụta amara n'ihu nna anyị ukwu. Anyị ga-abụ ndị ohu Fero."
26 Josef mere ka nke a bụrụ iwu n'ala Ijipt niile ruo taa, na Fero ga-ewe otu ụzọ n'ime ụzọ ise nke ihe ọbụla si n'ala. Naanị ihe si n'ala ndị nchụaja bụ nke na-esoghị n'iwu a.
27 Izrel biri na Goshen nke dị n'ala Ijipt. Ha kpatara akụ hie nne, mụbaa n'ọmụmụ, ma n'ọnụọgụgụ.
28 Jekọb biri n'ala Ijipt afọ iri na asaa. Ya mere, afọ niile Jekọb gbara bụ narị afọ na iri afọ anọ na asaa.
29 Mgbe ụbọchị ọnwụ Izrel na-abịaru nso, ọ kpọrọ Josef nwa
ya sị ya, "Ọ bụrụ na m ahụtala amara n'ihu gị, tinye aka gị n'okpuru apata m, kwee m nkwa na ị ga-egosi m obi ebere na ezi ntụkwasị obi. Elila m n'ala n'Ijipt.
30 Kama,
mgbe m nwụrụ, site n'ala Ijipt bupụ m. Buru ozu m gaa lie ya ebe e liri nna m ha."
Ọ zara, "Aga m eme dịka i kwuru."

31 Ọ sịrị ya, "Ṅụọrọ m iyi na ị ga-eme ya." Josef ṅụọrọ ya iyi. Izrel n'onwe ya, kpọrọ
isiala dịka ọ dabere n'elu mkpanaka ya.

# 48

*Jekọb agọzie ụmụ Josef*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, a gwara Josef sị, "Lee nna gị na-arịa ọrịa." Josef biliri duru
ụmụ ya ndị ikom abụọ bụ Manase na Ifrem gawa ileta ya. 2 Mgbe a gwara Jekọb
okwu sị ya, "Nwa gị nwoke Josef abịala ileta gị." Izrel chịkọtara ume ya, jisie ike,
nọdụ ala n'elu akwa ya.
3 Mgbe ahụ, Jekọb sịrị Josef, "Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile gosiri m onwe ya
na Luz, n'ala Kenan, ma gọziekwa m. 4 Ọ sịrị m, 'Lee, aga m eme ka ị mịa mkpụrụ,
baakwa ụba n'ọnụọgụgụ. Aga m eme ka ị ghọọ ọgbakọ ọtụtụ mba. Aga m enye gị
ala a ka ọ bụrụ ihe nketa ebighị ebi maka agbụrụ gị ndị ga-esote gị.'
5 "Ugbu a, ana m eme ụmụ gị ndị ikom abụọ ndị a, ndị a mụtaara gị n'ala Ijipt,
ụmụ nke m. Ha abụọ, Ifrem na Manase, ga-abụ ụmụ m, dịka Ruben na Simiọn si
bụrụ ụmụ m. 6 Ma ụmụ ọzọ a ga-amụtara gị ga-abụ nke gị. Ọ bụ aha ụmụnne ha
ndị a ka a ga-eji mara ha n'ala nketa nke ha. 7 Ana m eme nke a n'ihi na mgbe m
si Padan Aram pụta, nne unu Rechel, nwụrụ n'ala Kenan mgbe anyị ka nọ n'ụzọ ije
anyị n'ebe dịtụ anya site na Efrat. N'akụkụ ụzọ e si aga Efrat, ya bụ Betlehem, ka m
likwara ya."
8 Mgbe Izrel hụrụ ụmụ ndị ikom abụọ Josef kpọ bịa, ọ jụrụ Josef ajụjụ sị, "Ndị a,
bụ ndị ole?"
9 Josef zara nna ya sị, "Ha bụ ụmụ ndị ikom ndị Chineke nyere m n'ebe a."
Ya mere, Jekọb gwara ya sị, "Kpọtara m ha, ka m gọzie ha."
10 N'oge a, Izrel adịghị ahụzikwa ụzọ nke ọma n'ihi ime agadi ya. Ya mere, Josef
duuru ụmụ ya ndị ikom ndị ahụ bịa nso ebe nna ya nọ. Mgbe ahụ, Jekọb suturu ha
ọnụ, makụọ ha.
11 Izrel sịrị Josef, "O nweghị mgbe m lere anya na m ga-ahụ ihu gị ọzọ. Ma Chineke
emeela ka m hụkwa ụmụ gị."
12 Josef sitere n'ikpere* Jekọb kupu ụmụ ya, bịa hulata isi ala. O kpuru ihu ya n'ala
mgbe o mere nke a. 13 Josef kpọọrọ ha abụọ, Ifrem n'aka nri ya nke bụ aka ekpe
Izrel, na Manase n'aka ekpe ya nke bụ aka nri Izrel, kpọta ha bịa nna ya nso. 14 Ma
Izrel setịrị aka nri bikwasị ya n'isi Ifrem, nwa nke nta. Ma aka ekpe ya ka o setịpụrụ
bikwasị n'isi Manase bụ ọkpara.
15 Mgbe ahụ, ọ gọziri Josef sị ya.
"Ka Chineke, onye nna m ha
Ebraham na Aịzik jere ije n'ihu ya
Chineke onye bụrịị Onye zụrụ m dịka atụrụ
ogologo ndụ m niile ruo taa,
16 Mmụọ ozi ahụ napụtara m site n'ihe egwu niile,
ya gọzie ụmụ ndị ikom ndị a.
Ka ha bụrụ ndị a kpọkwasịrị aha m
na aha nna m ha Ebraham na Aịzik,
ka ha mụbaa
hie nne n'elu ụwa."
17 O wutere Josef mgbe ọ hụrụ na nna ya bikwasịrị aka nri ya n'isi Ifrem. O jidere
aka nna ya iwepụ ya n'isi Ifrem, ka ọ tụkwasị ya n'isi Manase. 18 Mgbe ahụ, Josef
sịrị nna ya, "I bikwasịjọrọ aka gị. Onye a bụ ọkpara, bikwasị aka nri gị n'isi ya."

---

* **48:12** 48:12 Ị kuu mmadụ n'ikpere, bụ mmemme iji gosipụta na onye ahụ eku n'ikpere, a bụrụla nwa onye ahụ kuu ya.

19 Ma nna ya jụrụ, sị ya, "Amaara m ihe m na-eme nwa m, Manase ga-aghọ oke
obodo, ma nwanne ya nke nta ga-akarị ya ịdị ukwuu, n'ihi na ụmụ ụmụ ya ga-aghọ
ọtụtụ mba dị iche iche." 20 Ọ gọziri ha n'ụbọchị ahụ sị,
"N'aha gị ka Izrel ga-ekwupụta ngọzị a,
'Ka Chineke mee gị dịka Ifrem na Manase.' "
Ya mere o buru ụzọ kpọọ Ifrem tupu Manase.
21 Mgbe ahụ, Izrel gwara Josef okwu sị ya, "Lee, mụ onwe m na-aga ịnwụ. Ma
Chineke ga-anọnyere unu, kpọghachikwa unu azụ n'ala nna unu ha. 22 Mụ onwe m
na-enye gị otu akụkụ ugwu karịa nke ụmụnne gị, bụ ala ugwu ahụ m sitere na mma
agha m na ụta m napụta ndị Amọrait ka ọ bụrụ nke gị."

# 49

*Jekọb agọzie ụmụ ya*

1 Mgbe ahụ, Jekọb kpọkọtara ụmụ ya ndị ikom niile n'otu sị ha, "Zukọọnụ ka m
gwa unu ihe ga-adakwasị unu n'ụbọchị dị n'ihu.
2 "Zukọọnụ nụrụ, ụmụ ndị ikom Jekọb
nụrụ okwu nna unu Izrel.

3 "Ruben, ọkpara m ka ị bụ,
ume m, ihe ngosi mbụ nke ike m,
onye nsọpụrụ kwesiri, onye mbụ n'ịdị ike.
4 Onye na-agbanwe agbanwe dịka mmiri dị n'iyi, ị gaghị abụkwa onye mbụ,
n'ihi na ị banyere n'ihe ndina nna gị,
i dinara n'ihe ndina m, merụọ ya.

5 "Simiọn na Livayị bụ ụmụnne.
Mma agha ha bụ ngwa ihe ike.
6 Ka obi m ghara isonye n'izuzu ha,
ka m ghara isonye n'ọgbakọ ha,
n'ihi na ha gburu mmadụ n'oge iwe ha,
bipụkwa nkwonkwo ụkwụ ụmụ ehi na-echeghị echiche.
7 Ihe a bụrụ ọnụ ka iwe ha bụ, n'ihi na ọ dị njọ.
Ọnụma ha, ọ jọbigara njọ oke.
Aga m ekesa ha n'etiti ụmụ Jekọb
Kpasaa ha n'etiti ndị Izrel.

8 "Gị, Juda, ụmụnne gị ga-eto gị.
Aka gị ga-adị n'olu ndị iro gị.
Ụmụ ndị ikom nna gị ga-akpọ isiala nye gị.
9 Ị bụ nwa ọdụm, gị, Juda,
i si n'ịchụ nta lọta, nwa m.
Dịka ọdụm, ọ na-amakpu, na-edina ala,
dịka nne ọdụm, onye ga-anwa anwa kpọtee ya?
10 Mkpanaka eze agaghị esite n'ebe Juda nọ wezuga onwe ya,
maọbụ mkpanaka onyendu esi n'agbata ụkwụ ya pụọ,
tutuu ruo mgbe eze ahụ nwe ya ga-abịa,
irube isi nke mba niile ga-abụ nke ya.
11 Ọ ga-ekenye ịnyịnya ibu ya n'osisi vaịnị,

n’alaka kachasị mma ka ọ ga-ekenye nwa ịnyịnya ibu ya.*
Ọ ga-asakwa uwe ya na mmanya.
Uwe mwụda ya ka ọ ga-asụkwa n’ọbara mkpụrụ vaịnị.
12 Anya ya ga-acha uhie uhie karịa mmanya vaịnị.
Eze ya ga-enwupụkwa ọcha karịa mmiri ara ehi.

13 “Zebụlọn ga-ebi n’akụkụ osimiri.
Ọ ga-abụ ebe izuike nye ụgbọ mmiri.
Oke ala ya ga-agbatịpụ ruo Saịdọn.

14 “Isaka dị ike dịka ịnyịnya ibu
na-amakpu n’etiti ọgba atụrụ.
15 Mgbe ọ hụrụ otu ebe izuike ya si dị mma,
hụ otu ala ya si maa mma,
ọ ga-ehudata isi ya ibu ibu arụ;
were onwe ya nye ịrụ ọrụ ike.

16 “Dan ga-eme ka ikpe ziri ezi rute ndị ya aka
dịka otu n’ime ebo Izrel.
17 Dan ga-adị ka agwọ dị n’akụkụ okporoụzọ,
dịka ajụala dị n’ụzọ ọhịa,
nke na-ata ịnyịnya n’ikiri ụkwụ,
si otu a mee ka onye na-agba ịnyịnya dalaa azụ.

18 “O Onyenwe anyị, ana m ele anya nnapụta gị.

19 “Gad bụ onye usuu ndị o-ji-egbe-aga ga-abịakwasị,
ma ọ ga-alụso ha ọgụ, chụọkwa ha ọsọ.

20 “Asha ga-esi n’ubi ya wepụta nri gbara abụba,
nke na-adị ndị eze mma.

21 “Naftalị dịka nne ele a hapụrụ ahapụ,
nke na-amụpụta ụmụ ele mara mma.

22 “Dịka osisi vaịnị a kụrụ n’akụkụ iyi,
nke alaka ya na-awasa rigoro n’elu mgbidi,
na nke na-amị ezi mkpụrụ, otu a ka Josef dị.
23 Ndị na-agbata ụta sitere n’obi ilu lụso ya agha,
ha gbara ya àkụ site n’ịkpọ asị.
24 Ma aka o ji jide ụta nke ya adaghị mba,
ike agwụghị ogwe aka ya,
n’ihi aka Onye dị ike nke Jekọb,
n’ihi Onye ọzụzụ atụrụ, Oke Nkume Izrel,
25 n’ihi Chineke nna gị, onye na-enyere gị aka,
n’ihi Onye pụrụ ime ihe niile, ka ọ gọzie gị,
site na ngọzị nke eluigwe site n’elu,
ngọzị nke osimiri dị n’okpuru ala,
ngọzị nke ara na akpanwa.

* **49:11** 49:11 Nke a na-egosipụta ịba ụba n’ebe ọ dị ukwuu, maọbụ mmadụ ịbụ ọgaranya.

26 Ngọzị niile nke nna gị, dị ukwu karịa,
ngọzị niile nke ugwu ukwu mgbe ochie,
karịakwa ngọzị nke ugwu nta mgbe ochie,
Ka ngọzị ndị a dị iche dịkwasị n’isi Josef,
dịkwasị n’egedege ihu Josef, onye bụ onyendu n’etiti ụmụnne ya.

27 “Benjamin dịka nkịta ọhịa nke na-adọgbu anụ.
N’ụtụtụ, ọ na-eri anụ ọ dọgburu.
N’anyasị ọ na-ekesakwa ihe o gbutere.”
28 Ndị a bụ ebo iri na abụọ dị n’Izrel. Ihe ndị a bụkwa ihe nna ha gwara ha mgbe
ọ gọziri ha, nye onye ọbụla n’ime ha ngọzị nke ruuru ya.

### *Ọnwụ Jekọb*

29 Emesịa, o nyere ha ndụmọdụ sị ha, “N’oge na-adịghị anya site ugbu a, aga m
anwụ. Unu aghaghị ili m n’ebe e liri nna m ha, n’ala Kenan, n’ime ọgba ahụ dị
n’ọhịa Efrọn, onye Het. 30 N’ime ọgba dị n’ọhịa Makipela, nke dị nso na Mamre,
n’ala Kenan, ọhịa Ebraham zụtara site n’aka Efrọn onye Het, maka ili ozu. 31 N’ebe
ahụ ka e liri Ebraham na Sera nwunye ya. N’ebe ahụ kwa ka e liri Aịzik na Ribeka
nwunye ya. N’ebe ahụ ka m liri Lịa. 32 Ebraham nna nna m zụrụ ala ahụ na ọgba dị
n’ime ya site n’aka ụmụ Het.”
33 Mgbe Jekọb kwuchara okwu ndụmọdụ ikpeazụ ndị a nye ụmụ ya ndị ikom, ọ
chịkọtara ụkwụ ya n’elu akwa, kuo ume ikpeazụ. A chịkọtara ya na ndị ya.

## 50

### *Olili Jekọb*

1 Josef dakwasịrị n’ihu nna ya, kwaa akwa, sutukwa ya ọnụ. 2 Josef nyere iwu, ka
ndị dibịa na-ejere ya ozi gbasie ozu nna ya. Ya mere, ndị dibịa ahụ gbasikwara Izrel.
3 O were ha iri ụbọchị anọ ịgbasi ozu, n’ihi na nke a bụ oge o kwesiri iwe ha ime ya.
Mgbe nke a gasịrị, a kwara ya n’ala Ijipt iri ụbọchị asaa.
4 Mgbe oge iru ụjụ gafesịrị, Josef gwara ndị ụlọ Fero sị ha, “Ọ bụrụ na m ahụtala
amara n’ihu unu, biko, gwaranụ m Fero otu a, sị ya, 5 ‘Nna m mere ka m ṅụọra ya
iyi mgbe ọ na-anwụ, sị, “Lee, agala m ịnwụ, ị ga-eli m n’ili m, nke m gwuuru onwe
m n’ala Kenan.” Ugbu a, biko ka m gaa lie nna m, ma lọghachikwa.’ ”
6 Fero zara sị ya, “Gaa lie nna gị dịka o mere ka ị ṅụọ iyi na ị ga-eme.”
7 Ya mere, Josef gara ili nna ya. Ọtụtụ ndị mmadụ sokwa ya. Ndịisi ọchịchị Fero,
na ndị okenye ụlọ ya, na ndị okenye a ma ama n’ala Ijipt. 8 Ndị ọzọ bụkwa ndị ụlọ
Josef niile, ụmụnne ya, na ndị ụlọ nna ya. Naanị ụmụntakịrị, na igwe ewu na atụrụ
ha, na igwe ehi ha, ka ha hapụrụ n’ala Goshen. 9 Ma ịnyịnya ụgbọ na ndị na-agba
ịnyịnya, so ya gaa. Igwe mmadụ gara ije a buru ibu nke ukwuu.
10 Mgbe ha ruru ebe ịzọcha ọka nke Atad, n’ofe ọzọ nke Jọdan, ha weere iti aka
n’obi dị ukwuu tie aka n’obi ha n’ebe ahụ. Josef ruru ụjụ ụbọchị asaa maka nna ya
n’ebe ahụ. 11 Mgbe ndị bi n’ala Kenan hụrụ oke iru ụjụ nke ebe ịzọcha ọka nke Atad
ahụ, ha sịrị, “Nke a bụụrụ ndị Ijipt iru ụjụ dị ukwuu.” N’ihi nke a, ha kpọrọ ebe ahụ
dị nso na Jọdan Ebel-Mizraim.
12 Ụmụ Jekọb mere dịka nna ha gwara ha. 13 N’ihi na ha buuru ozu ya laa n’ala
Kenan, lie ya n’ọgba ahụ dị n’ọhịa Makipela, nke bụ ala ubi Ebraham zụrụ dịka ala
olili ozu, site n’aka Efrọn, onye Het; n’akụkụ Mamre. 14 Emesịa, Josef laghachiri Ijipt
ya na ụmụnne ya, na ndị niile sooro ya gaa olili ozu nna ya, ngwangwa elichara nna
ya.

### *Josef agbaghara ụmụnne ya*

15 Mgbe ụmụnne Josef hụrụ na nna ha anwụọla, ha sịrị, "Eleghị anya Josef ga-akpọ
anyị asị, kwụghachi anyị ụgwọ ihe ọjọọ niile anyị mere ya?" 16 N'ihi nke a, ha zipụrụ
Josef ozi sị, "Nna gị nyere iwu a tupu ọ nwụọ. 17 'Gwa Josef sị ya, Arịọọ m gị, gbaghara
ihe ọjọọ niile ụmụnne gị mere, na mmehie ha mere megide gị.' Ugbu a, gbaghara
mmehie anyị bụ ndị ohu Chineke nna gị." Mgbe Josef nụrụ ihe ha kwuru, ọ kwara
akwa.
18 Ụmụnne ya bịakwara daa n'ihu ya, sị, "Anyị bụ ndị ohu gị."
19 Ma Josef sịrị ha, "Unu atụla egwu. Abụ m Chineke onye na-ekpe ikpe nke m
ga-eji taa unu ahụhụ? 20 Ọ bụ ezie na unu chere ime m ihe ọjọọ, ma Chineke chere
ya ka ọ bụrụ ezi ihe, iji debe ọtụtụ ndụ dịka ọ na-eme taa. 21 Ya mere, ụjọ atụla unu.
Mụ onwe m ga-azụ unu na ụmụntakịrị unu." Ọ kasịrị ha obi, gwa ha okwu bara ha
n'obi.

### *Ọnwụ Josef*

22 Josef biri n'Ijipt, ya na ụmụnne ya, na ndị ụlọ ha. Josef gbara narị afọ na iri.
23 Josef hụrụ ụmụ Ifrem, na ụmụ ụmụ ya. Ọ nọkwa ndụ hụ ụmụ Makia nwa Manase,
ndị e kukwasịrị n'ikpere ya.
24 Mgbe ahụ, Josef sịrị ụmụnne ya, "Agala m ịnwụ, ma Chineke ga-abịa ileta unu.
Ọ ga-esi n'ala a kpọpụta unu kpọgakwa unu n'ala ahụ ọ ṅụụrụ Ebraham na Aịzik
na Jekọb iyi, na ọ ga-enye ha." 25 Mgbe ahụ, Josef mere ka ụmụ Izrel ṅụọrọ ya iyi sị,
"Mgbe Chineke bịara ileta unu, unu aghaghị ị site n'ebe a chịkọrọ ọkpụkpụ m."
26 Josef nwụrụ mgbe ọ gbara narị afọ na iri. Ha gbasiri ozu ya, tinye ya n'ime igbe
ozu, n'ala Ijipt.

# Ọpụpụ

*Eze na-amaghị Josef*

1 Ndị a bụ aha ụmụ ndị ikom Izrel, ndị sooro Jekọb gaa biri n’ala Ijipt, onye ọbụla n’ime ha kpọ ezinaụlọ ya.

2 Ruben, Simiọn, Livayị na Juda;
3 Isaka, Zebụlọn na Benjamin;
4 Dan, na Naftalị;
Gad na Asha.

5 Ọnụọgụgụ ụmụ Jekọb ndị sooro ya gaa biri n’Ijipt dị iri mmadụ asaa. Ma Josef nọrịị n’Ijipt.

6 Emesịa, Josef na ụmụnne ya niile nwụrụ, ma ọgbọ ahụ niile nwụkwara. 7 Ma ihe
gaara ụmụ ụmụ Izrel nke ọma, ha mụbara, dị ukwuu n’ọnụọgụgụ, jupụta ala ahụ
niile.
8 Ma mgbe eze ọhụrụ nke na-amaghị Josef malitere ịchị ọchịchị n’ala Ijipt, 9 ọ sịrị
ndị ya, “Lee, ndị Izrel abaala ụba nke ukwuu n’ọnụọgụgụ dịkwa ike karịa anyị.
10 Ngwanụ, ka anyị were amamihe meso ha mmeso ọjọọ, ma ọ bụghị otu a, ha ga-
amụba karịa, mgbe agha ga-adapụta n’etiti anyị na ndị iro anyị, ha ga-esoro ndị iro
anyị lụso anyị agha, site n’ala a gbapụ.”
11 N’ihi nke a, ha tinyere ndịisi ohu ga na eledo ha, bụ ndị ga-eji ọrụ mmanye
kpagbuo ha. Ha wuuru Fero obodo Payitọm na Ramesis, ebe ọ na-echekwa ihe. 12 Ma
dịka a na-ata ụmụ Izrel ahụhụ na-eleghị anya n’azụ, otu a kwa ka ụmụ Izrel gara
n’ihu na-amụba n’ọnụọgụgụ na-agbasakwa. Nke a mere ka ndị Ijipt tụọ ndị Izrel
egwu. 13 Ha ji oke ọrụ mekpaa ụmụ Izrel ahụ nke ukwuu, 14 mee ka ndụ ụmụ Izrel
bụrụ ndụ jupụtara n’ihe ilu. Ha nyere ha ọrụ ike nke ịkpụ brik na ụrọ, tinyere ọrụ
dị iche iche n’ubi ha. N’ime ọrụ niile ha na-arụ, ndị Ijipt mesiri ha ike nke ukwuu.
15 Mgbe ahụ kwa, eze Ijipt gwara ndị inyom Hibru na-aghọ nwa, ndị aha ha bụ
Shifra na Pua* sị, 16 “Mgbe ọbụla unu na-aghọ nwa ndị inyom Hibru, unu lezie anya
n’okwute e ji amụ nwa, ọ bụrụ nwoke, gbuonụ ya, ma ọ bụrụkwanụ nwanyị, hapụnụ
ya ka ọ dịrị ndụ.” 17 Ma ndị inyom ndị a na-aghọ nwa emeghị ihe eze Ijipt gwara ha,
n’ihi na ha tụrụ egwu Chineke. Kama ha hapụrụ ụmụ ndị ikom ndị a ndụ. 18 Emesịa,
eze Ijipt kpọrọ ndị inyom abụọ ahụ jụọ ha sị, “Gịnị mere unu ji nupu isi n’iwu m nyere
unu site n’ịhapụ igbu ụmụntakịrị ndị ikom Hibru a mụrụ, dịka m gwara unu?”
19 Ndị inyom ahụ zara Fero sị, “Ndị inyom Hibru na-adị ike karịa ndị inyom Ijipt
n’ịmụ nwa. Ha na-amụpụtacharị ụmụ ha tupu anyị erute.”
20 Ya mere, Chineke gọziri ndị inyom ndị ahụ na-aghọ nwa. Ụmụ Izrel gara n’ihu
na-amụba, ghọọ mba dị ukwuu. 21 Chineke n’onwe ya, nyekwara ndị inyom ahụ
na-aghọ nwa ezinaụlọ nke aka ha n’ihi na ha tụrụ egwu Chineke.
22 Mgbe ahụ, Fero nyere ndị ya niile iwu a, “A ga-atụnye ụmụntakịrị ndị ikom
Hibru niile a mụrụ ọhụrụ n’ime osimiri Naịl, ma a ga-edebe ụmụntakịrị ọhụrụ bụ
ndị inyom ndụ.”

* **1:15** 1:15 Aha ndị inyom ndị a na-elekọta ndị inyom Hibru ime na-eme, zipụtara n’ebe o doro anya na ha bụ ndị Ijipt.

# 2

### *Ọmụmụ Mosis na mgbapụ ya*

1 N’oge a, otu nwoke onye Hibru si n’ebo Livayị, gakwara lụọ otu nwaada onye
Livayị. 2 Nwanyị a tụụrụ ime, mụọ otu nwa nwoke. Mgbe ọ hụrụ na nwa ọhụrụ ahụ
mara mma, o zoro ya n’ụlọ ọnwa atọ. 3 Mgbe ọ na-enweghịkwa ike izo nwantakịrị
a gaa n’ihu, o jiri ahịhịa papịrọs[*] kpaa nkata, were korota tee n’ahụ nkata ahụ niile
igbochi mmiri ịbata n’ime ya. O kunyere nwantakịrị ahụ n’ime ya buru nkata ahụ
debe ya n’akụkụ osimiri Naịl ebe ahịhịa mmiri na-eto. 4 Nwanne nwantakịrị ahụ, nke
nwanyị, gakwara guzo n’ebe dị anya na-eche nwantakịrị ahụ nche, ịhụ ihe ga-eme
ya.
5 Ọ dịghị anya, ada Fero bịara n’akụkụ osimiri Naịl ahụ ịsa ahụ. Mgbe ọ nọ na-asa
ahụ, ụmụ agbọghọ na-ejere ya ozi malitere ịgagharị n’akụkụ osimiri Naịl. Ma ada
Fero lepụrụ anya hụ nkata ahụ n’etiti riidi, zie otu n’ime ohu ya nwanyị ka ọ gaa bute
ya. 6 Mgbe o bupụtara ya, meghee ya, ada Fero hụrụ nwantakịrị ahụ ka ọ na-akwa
akwa. O nwere ọmịiko n’ebe nwantakịrị ahụ nọ. Ọ sịrị, “Nwatakịrị a ga-abụrịrị otu
n’ime ụmụ ndị Hibru.”
7 Mgbe ahụ, nwanne nwanyị nwantakịrị a jụrụ ada Fero sị, “Ọ bụ m gaa chọọrọ gị
otu nwanyị n’ime ndị inyom Hibru ka ọ na-elekọtaara gị nwantakịrị a anya?”
8 Ada Fero zaghachiri sị, “Ee, gaa mee otu ahụ.” Nwaagbọghọ ahụ gara ngwangwa
n’ụlọ ha kpọọ nne nwantakịrị ahụ. 9 Mgbe ha bịaghachiri, ada Fero gwara nne
nwantakịrị ahụ sị ya, “Kuru nwantakịrị a, gaa zụpụtara m ya. Aga m akwụ gị
ụgwọ nke ọma.” Ya mere, nwanyị ahụ kuuru nwantakịrị ahụ, gaa zụọ ya. 10 Mgbe
nwantakịrị ahụ tolitere, nne ya kulaara ya ada Fero, ka ọ bụrụ nwa ada Fero. Aha
ada Fero gụrụ ya bụ Mosis, n’ihi ọ sịrị, “Esi m na mmiri gụpụta ya.”

### *Mosis agbapụ ọsọ*

11 Otu ụbọchị, mgbe Mosis toro, ọ pụrụ gaa n’ebe ụmụnna ya nọ, ilele ha mgbe ha
nọ na-arụ ọrụ ike ha. Ọ hụrụ otu onye Ijipt ka ọ na-eti onye Hibru ihe, bụ otu n’ime
ụmụnna ya. 12 Mosis lere anya n’akụkụ abụọ. Mgbe ọ hụrụ na ọ dịghị onye na-ele ya
anya, o gburu onye Ijipt ahụ, lie ya n’ime aja. 13 N’echi ya, Mosis pụrụ hụ ndị Hibru
abụọ ka ha na-alụ ọgụ. Mosis jụrụ onye nke ikpe mara ajụjụ sị ya, “Gịnị mere i ji si
otu a na-eti nwanna gị ihe?”
14 Ma onye ahụ jụrụ Mosis ajụjụ sị, “Onye mere gị onyeisi na onye ikpe n’etiti anyị?
Ị na-achọ igbu m dị ka i si gbuo onye Ijipt ahụ?” Mgbe ahụ Mosis tụrụ ụjọ. O kwuru
n’ime onwe ya sị, “Ndị mmadụ amatala banyere ihe ahụ m mere.”
15 Mgbe Fero nụrụ ihe Mosis mere, ọ gbalịrị igbu Mosis. Ma Mosis si n’ihu Fero
gbapụ ọsọ gbaga ala Midia.[†] N’ebe ahụ ọ gara nọdụ ala n’akụkụ olulu mmiri. 16 Ma o
nwere otu onye nchụaja obodo Midia mụtara ụmụ agbọghọ asaa. N’oge a, ha bịara
iseta mmiri na ịgbanye ya n’ime ihe ịgbanye mmiri anụ ụlọ maka inye igwe anụ ụlọ
nna ha mmiri. 17 Ma ụfọdụ ndị na-azụ atụrụ bịara chụpụ ha. Mosis biliri ọtọ, bịa
napụta ha, nyere ha aka nye igwe anụ ụlọ ha mmiri.
18 Ha lọghachikwutere nna ha, Reuel,[‡] onye jụrụ ha sị, “Gịnị mere unu ji lọta n’oge
taa?”
19 Ha zara nna ha sị, “Otu onye Ijipt napụtara anyị site n’aka ndị ọzụzụ atụrụ. O
setaara anyị mmiri, nyekwa igwe anụ ụlọ anyị mmiri.”
20 Nna ha jụrụ ha sị, “Olee ebe ọ nọ? Gịnị mere unu ji hapụ ya n’ebe ahụ? Gaanụ
kpọọ ya ka o soro anyị rie nri.”

---

[*] **2:3** 2:3 Bụ ahịhịa na-epu n’akụkụ mmiri [†] **2:15** 2:15 Midian bụ otu n’ime ụmụ Ebraham mụtara n’ikpeazụ. Jen 25:2 Ndị Midia na-ebi n’akụkụ ugwu nke Ugwu Saịnaị. [‡] **2:18** 2:18 Reuel bụ aha ọzọ e ji mara Jetro ọgọ Mosis. Ọpụ 3:1; Ọnụ 10:29

21 Mosis nabatara oku ahụ Reuel kpọrọ ya ka ha na ya biri. O sokwara ha biri.
Reuel kpọnyere Mosis Zipọra, otu nwa ya nwanyị, ka ọ bụrụ nwunye ya. 22 Zipọra
mụtara nwa nwoke, onye Mosis kpọrọ aha ya Geshọm. N'ihi na Mosis sịrị, "Abụ m
onye ọbịa n'ala ndị ọzọ."
23 O ruo, mgbe ọtụtụ ụbọchị gara, Fero eze Ijipt nwụrụ. N'oge a, ụmụ Izrel nọ
na-asụ ude n'ime ọnọdụ ịbụ ohu ha. Ha kwara akwa nke ukwuu. Akwa ha kwara ka
e nyere ha aka n'ihi ọnọdụ ịbụ ohu ha ruru Chineke ntị. 24 Chineke nụrụ ịsụ ude ha.
O chetara ọgbụgba ndụ ahụ ya na Ebraham, na Aịzik, na Jekọb gbara. 25 Chineke
hụrụ ụmụ Izrel, ihe banyere ha metukwara ya n'obi.

# 3

*Mosis n'ihu ọhịa na-enwu ọkụ*
1 N'oge a, Mosis na-azụ igwe anụ ụlọ Jetro ọgọ ya nwoke, onye nchụaja na Midia.
Otu ụbọchị, o duuru igwe anụ ụlọ ndị a gaa n'akụkụ ọzara. Ọ batara Horeb,* ugwu
Chineke. 2 N'ebe ahụ, mmụọ ozi nke ONYENWE ANYỊ mere ka ọ hụ ya n'ọkụ na-ere
n'etiti ọhịa. Mosis hụrụ na ọ bụ ezie na ọhịa ahụ na-enwu ọkụ ma ọ naghị ere ọkụ.
3 N'ihi ya, Mosis chere n'obi ya sị, "Aga m aga nso leruo ihe omimi a anya, otu ọkụ
si enwu ma ọhịa anaghị ere ọkụ."
4 Mgbe ONYENWE ANYỊ hụrụ na ọ tụgharịrị ka ọ hụ ihe na-eme, Chineke kpọrọ ya
oku site n'ime ọhịa ahụ, "Mosis! Mosis!"
Ọ sị, "Lekwa m n'ebe a."
5 Mgbe ahụ, ọ sịrị ya, "Abịakwala nso. Yipụ akpụkpọụkwụ gị, n'ihi na ebe i guzo
bụ ala dị nsọ." 6 Ọ sịrị, "Abụ m Chineke nke nna gị. Chineke nke Ebraham, Chineke
nke Aịzik na Chineke nke Jekọb." Mosis zoro ihu ya, n'ihi na ọ tụrụ egwu ilegide
Chineke anya.
7 Mgbe ahụ ONYENWE ANYỊ sịrị, "N'ezie, ahụla m nhụju anya nke ndị m nọ n'Ijipt,
anụkwala m mkpu akwa ha, n'ihi aka ike nke ndị na-achị ha dịka ndị ohu. N'ihi na
ama m ahụhụ ha na-agabiga. 8 Ya mere, agbadatala m ịnapụta ha site n'aka ndị Ijipt
na ịkpọpụta ha site n'ala ahụ, idubata ha n'ala ọma ahụ, nke sara mbara, ala mmiri
ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya. Ala ebe ndị Kenan, na ndị Het, na ndị Amọrait,
na ndị Periz, na ndị Hiv, na ndị Jebus bi. 9 Ugbu a, akwa ụmụ Izrel eruola m ntị,
ahụkwala m otu ndị Ijipt si na-emegbu ha. 10 Ugbu a, aga m eziga gị ka i jekwuru
Fero, ka i dupụta ndị m bụ ụmụ Izrel site n'ala Ijipt."
11 Mosis sịrị Chineke, "Onye ka m bụ na m ga-ejekwuru Fero, meekwa ka ụmụ Izrel
site n'ala Ijipt pụta?"
12 Chineke gwara ya sị, "Aga m anọnyere gị. Nke a ga-abụ ihe ama nye gị na ọ bụ
m na-eziga gị. Mgbe i sitere n'ala Ijipt kpọpụta ụmụ Izrel, unu niile ga-efe m ofufe
n'elu ugwu a."
13 Ma Mosis jụrụ Chineke sị, "Ọ bụrụ na m agwa ụmụ Izrel sị, 'Chineke nna nna
unu zitere m izi unu ozi,' ha ga-ajụ m sị, 'Gịnị bụ aha ya?' Gịnị ka m ga-aza ha?"
14 Chineke sịrị Mosis, "ABỤ M ONYE M BỤ. Naanị gwa ụmụ Izrel na 'ABỤ M zitere
gị.' "
15 Chineke gakwara n'ihu gwa Mosis sị, Si otu a gwa ụmụ Izrel okwu. "ONYENWE
ANYỊ, Chineke nna nna unu, Chineke Ebraham, Chineke Aịzik na Chineke Jekọb, zitere
m ịbịakwute unu."
Nke a bụ aha m ruo mgbe ebighị ebi,
aha nke e ji echeta m
site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.

* **3:1** 3:1 Ugwu a na-aza, Ugwu Chineke maọbụ Ugwu Saịnaị. Ọpụ 4:27; 18:5

16 “Gaa, kpọkọta ndị okenye Izrel niile zie ha sị, ‘ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna
unu, Chineke Ebraham, Chineke Aịzik, na Chineke Jekọb, egosila m onwe ya, sị m,
Eleruola m ọnọdụ unu anya hụ ihe a na-eme unu n’ala Ijipt. 17 Ekweela m nkwa
ịkpọpụta unu site n’ahụhụ unu na-ahụ n’ala Ijipt duru unu baa n’ala nke ndị Kenan,
na ndị Het, na ndị Amọrait, na ndị Periz, na ndị Hiv, na ndị Jebus bi n’ime ya. Ala
mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya.’
18 “Ndị okenye Izrel ga-anabata ozi gị. Mgbe ahụ gị na ha ga-eso gaa n’ihu eze Ijipt
gwa ya sị, ‘ONYENWE ANYỊ, Chineke ndị Hibru ezutela anyị. Kwere ka anyị gaa njem
n’ime ọzara abalị atọ gaa chụọrọ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị aja.’ 19 Amaara m rịị
na eze Ijipt agaghị ekwe ka unu gaa, tutu ruo mgbe e ji aka ike kwagide ya. 20 Ma
aga m esetipụ aka m tie Ijipt ihe otiti, site n’ihe ịrịbama dị iche iche nke m ga-eme
n’etiti ya. Mgbe nke a gasịrị, ọ ga-ahapụ unu ka unu laa.
21 “Aga m emekwa ka unu nweta amara n’ihu ndị Ijipt, ka unu ghara ịgba aka
mgbe unu na-ala. 22 Nwanyị ọbụla ga-arịọ site n’aka nwanyị Ijipt onye agbataobi ya
na nwanyị ọbịa bi n’ụlọ ya, ihe niile e ji ọlaọcha na ọlaedo kpụọ, na akwa dị iche
iche. Unu ga-eyikwasị ha ụmụ unu ndị ikom na ụmụ unu ndị inyom, bịa si otu a
kwakọrọ ngwongwo ndị Ijipt.”

# 4

*Ihe ịrịbama nye Mosis*

1 Mosis zaghachiri ya sị, “Gịnị ga-eme ma ọ bụrụ na ha agaghị ekwenye ihe m
kwuru maọbụ ajụ ige m ntị? Ọ bụrụ na ha asị, ‘ONYENWE ANYỊ egosighị gị onwe ya.’ ”
2 Ma ONYENWE ANYỊ jụrụ Mosis ajụjụ sị ya, “Gịnị ka i ji n’aka?”

Mosis zara sị, “Ọ bụ mkpanaka.”

3 ONYENWE ANYỊ sịrị ya, “Tụpụ ya n’ala.”

Mosis tụpụrụ ya n’ala. Ma otu mgbe ahụ, ọ ghọrọ agwọ. Mosis sitere n’ebe agwọ
ahụ nọ gbapụ ọsọ. 4 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu ọzọ sị ya, “Jide agwọ ahụ
aka n’ọdụdụ ya.” Mgbe Mosis mere nke a, agwọ ahụ ghọghachikwara mkpanaka.
5 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, “Ọ bụrụ na i mee ihe ịrịbama a, ha ga-ekwere ihe
ị gwara ha. Ha ga-aghọta na ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna ha, Chineke Ebraham,
Chineke Aịzik, na Chineke Jekọb gosiri gị onwe ya.”
6 ONYENWE ANYỊ gwara ya okwu ọzọ sị, “Tinye aka gị n’ime uwe i yi n’ime ahụ gị.”
Mgbe Mosis tinyere aka ya wepụta ya, ọ chọpụtara na ekpenta jupụtara n’aka ahụ
nke na-enwu ezi ọcha.
7 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, “Tinyekwa aka gị n’ime uwe
i yi n’ime ahụ gị.” Mosis mere otu a. Mgbe o wepụtara aka ya ọzọ, ọ hụrụ na ọ
dịghachiri dịka akụkụ anụ ahụ ya ndị ọzọ.
8 Mgbe ahụ ONYENWE ANYỊ sịrị, “Ọ bụrụ na ụmụ Izrel ekweghị gị maọbụ nabata ihe
ama nke mbụ, ha ga-ekwe ihe ịrịbama nke abụọ a. 9 Ma ọ bụrụ na ha ekwenyeghị
n’ihe ịrịbama abụọ ndị a ma ọ bụkwanụ gee gị ntị; kute mmiri n’osimiri Naịl, wụpụ
ya n’ala akọrọ. Mmiri ahụ nke i kutere site n’osimiri ga-agbanwe, ghọọ ọbara n’ala
akọrọ.”
10 Mosis sịrị ONYENWE ANYỊ, “Biko Onyenwe m, abụghị m onye mara ekwu okwu.
Ọ nwebeghị oge m ji bụrụ onye ọka okwu, na mgbe gara aga maọbụ site na mgbe ị
gwara ohu gị okwu. Lee, onye nwere ire na egbugbere ọnụ dị arọ ka m bụ.”
11 ONYENWE ANYỊ jụrụ Mosis ajụjụ sị, “Onye mere ọnụ mmadụ? Onye na-emekwa
ka ntị mmadụ chie ya, maọbụ ka mmadụ daa ogbi? Onye na-eme ka mmadụ hụ ụzọ,
maọbụ kpụọ ìsì? Ọ bụghị mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ? 12 Ugbu a, gaa mee ihe
m gwara gị. Aga m enyere gị aka ikwu okwu nke ọma. Aga m agwakwa gị ihe ị
ga-ekwu.”

13 Ma ọ rịọrọ, “Biko Onyenwe m, ziganụ onye ọzọ.”
14 Onyenwe anyị were iwe dị ọkụ megide Mosis sị ya, “Kedụ maka nwanne gị nwoke
Erọn onye Livayị, amaara m na ọ bụ onye ọka okwu. Lee, ọ na-abịa izute gị. Ọ ga-
aṅụrị ọṅụ mgbe ọ chọtara gị. 15 Ị ga-agwa ya okwu, tinye okwu gị n’ọnụ ya. Aga m
enyere unu abụọ aka ikwu okwu nke ọma, aga m ezikwa unu abụọ ihe unu ga-eme.
16 Ọ ga-abụ onye na-ekwuchite ọnụ gị n’ebe ndị mmadụ nọ. Ị ga-anọ dịka Chineke
n’ebe ọ nọ, n’ihi na ị ga-agwa ya ihe niile ọ ga-ekwu. 17 Ma ị ga-ejide mkpanaka a dị
n’aka gị ka i nwee ike jiri ya mee ihe ịrịbama.”

### *Nlọghachi Mosis n’Ijipt*

18 Emesịa, Mosis lọghachiri n’ụlọ ebe o bi, jekwuru Jetro ọgọ ya nwoke rịọọ ya sị,
“Biko kwere ka m laghachi n’Ijipt gaa chọpụta ma o nwere ndị ikwu m ka dị ndụ.”
Jetro sịrị, “Gaa n’udo.”
19 Ugbu a Onyenwe anyị gwara Mosis okwu n’ala Midia sị ya, “Laghachi Ijipt n’ihi
na ndị niile chọrọ igbu gị anwụchaala.” 20 Mosis kpọọrọ nwunye ya, na ụmụ ya ndị
ikom, nọkwasị n’elu ịnyịnya ibu, laghachi n’ala Ijipt. O jikwa mkpanaka Chineke ahụ
n’aka ya.
21 Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị ya, “Mgbe i ruru Ijipt, hụ na ị gara n’ihu Fero
mee ihe ebube niile m nyere gị ike ime. Ma aga m eme ka obi ya sie ike, ka ọ ghara
ikwe ka ndị m laa. 22 Ị ga-agwa Fero okwu sị ya, ‘Nke a bụ ihe Onyenwe anyị kwuru,
Izrel bụ Ọkpara m. 23 Agwara m gị okwu sị, “Hapụ nwa m nwoke ka o si n’ala Ijipt
pụọ gaa ebe ọ ga-anọ fee m ofufe,” ma ị jụrụ ajụ. Ugbu a aga m egbu ọkpara gị.’ ”
24 Mgbe Mosis na ezinaụlọ ya na-alaghachi Ijipt, ha rutere ebe ha ga-ezu ike abalị.
N’ebe ahụ, Onyenwe anyị bịakwutere Mosis chọọ igbu ya. 25 Ma Zipọra nwunye
Mosis weere mma ntakịrị bie nwa ya ugwu. O were ihe o bipụtara n’ugwu a metụ
n’ụkwụ Mosis, kwuo sị, “N’ezie, ị bụ di ọbara n’ebe m nọ.” 26 N’ihi ya, Onyenwe anyị
hapụrụ Mosis. (Mgbe ahụ, Zipọra kwuru sị, “Ị bụ di ọbara,” n’ihi obibi ugwu ahụ.)
27 Ugbu a, Onyenwe anyị gwara Erọn okwu sị, “Gaa n’ime ọzara ka izute Mosis.”
Erọn gara jekwuru Mosis n’ugwu Horeb, ugwu Chineke, sutu ya ọnụ. 28 Mgbe ahụ
Mosis gwara Erọn ihe niile Onyenwe anyị ziri ya ka o kwuo, ya na ihe ịrịbama ndị
ahụ niile o nyere n’iwu ka o mee.
29 Mosis na Erọn jeruru Ijipt kpọọ nzukọ ndị okenye ụmụ Izrel niile. 30 Erọn gwara
ha ihe niile Onyenwe anyị gwara Mosis. Mosis, n’onwe ya mere ihe ịrịbama ahụ niile
n’ihu anya ha. 31 Mgbe ahụ, ha kwenyere; dịka ha nụrụ na Onyenwe anyị eletala ụmụ
Izrel, ma hụkwa ahụhụ ha. Ha kpọrọ isiala fee ya ofufe.

## 5

### *Mosis n’ihu Fero*

1 Emesịa, Mosis na Erọn jekwuuru Fero guzo n’ihu ya gwa ya okwu sị, “Ihe a ka
Onyenwe anyị, Chineke Izrel kwuru, ‘Hapụ ndị m ka ha gaa meere m mmemme dị
nsọ n’ime ọzara.’ ”
2 Fero zara sị, “Onye ka Onyenwe anyị bụ m ga-eji gee ntị n’olu ya ịhapụ ụmụ Izrel
ka ha si n’ebe a pụọ? Amaghị m onye ọ bụ, agaghị m ekwekwa ka Izrel gaa ebe
ọbụla.”
3 Ha zara sị, “Chineke ndị Hibru zutere anyị. Biko kwere ka anyị gaa njem ụbọchị
atọ[*] n’ime ọzara nọọ n’ebe ahụ chụọrọ Onyenwe anyị Chineke anyị aja. Ọ bụrụ na
anyị ajụ ige ntị n’olu ya, ọ ga-eji ọrịa ọjọọ maọbụ mma agha kpochapụ anyị.”

[*] **5:3** 5:3 N’ala Ijipt ehi na oke ehi bụ anụmanụ a na-ahụta ka ihe dị nsọ. Ya mere, ndị Izrel ji sị na ha ga-aga njem abalị atọ n’ime ọzara nọrọ n’ebe ahụ chụọrọ Onyenwe anyị aja.

[4] Eze Ijipt zara ha sị, "Mosis na Erọn, gịnị mere unu ji na-ewepụ ụmụ Izrel aka site
n'ọrụ ha? Laghachinụ n'ọrụ unu!" [5] Fero gara n'ihu sị, "Lee, ka ndị obodo a si dị
ọtụtụ ugbu a, ihe unu na-eme bụ naanị igbochi ha ịrụ ọrụ ha."
[6] N'ụbọchị ahụ kwa, Fero nyere ndị nlekọta† ụmụ Izrel na ndị o mere ndịisi n'ebe
ụmụ Izrel nọ iwu sị, [7] "Unu enyekwala ụmụ Izrel ahịhịa ha ga-eji kpụọ brik‡ dịka unu
na-eme n'oge gara aga. Kama, ha ga-achọta ahịhịa ahụ n'onwe ha. [8] Ọzọ, meenụ ka
ọnụọgụgụ brik ha na-akpụ dịrị ka ọ dị na mbụ, unu emela ka ọ dịrị ala. Ha bụ ndị
umengwụ. Ọ bụ ya mere ha ji na-eti mkpu, 'Ka anyị gaa n'ọzara gaa chụọrọ Chineke
anyị aja.' [9] Nyenụ ha ọrụ dị ike, nke ga-ezi ha na ha ekwesighị ịṅa ntị n'okwu ụgha
Mosis na Erọn na-ekwuru ha."
[10] Ndị na-achị ndị ohu na ndị nlekọta jekwuuru ụmụ Izrel sị ha, "Ihe a ka Fero
kwuru: 'Agaghị m enyekwa unu ahịhịa ọzọ. [11] Gaanụ chọtara onwe unu okporo
ahịhịa ebe ọbụla unu nwere ike ịchọta ya, ma nke a agaghị eme ka e gbubilata ọrụ
unu kwesiri ịrụ.' " [12] Ya mere ndị ha gbasasịrị n'ala Ijipt niile ịchịkọta okporo ahịhịa
ha ji akpụ brik. [13] Ndị na-achị ha nọgidere na-akwagide ha sị ha, "Rụchaanụ ọrụ
unu kwesiri ịrụ n'ụbọchị dịka unu si arụ ya mgbe a na-enye unu ahịhịa." [14] Ndịisi
ọrụ Fero malitere iti ndị Izrel ha họpụtara maka inyere ha aka ilekọta ndị ọrụ ihe,
na-ajụ ha ajụjụ sị, "Gịnị mere unu akpụtaghị oke ọnụọgụgụ brik unu kwesiri ịkpụta
ụnyaahụ maọbụ taa?"
[15] Mgbe ahụ, ndịisi ọrụ ndị Izrel bịakwutere Fero kwaara ya akwa sị ya, "Gịnị
mere i ji si otu a na-emeso ndị ohu gị mmeso? [16] Ọ dịghị okporo ahịhịa a na-enye
ndị ohu gị, ma ha na-asị anyị, 'Kpụọnụ brik!' A na-etikwa ndị ohu gị ihe, ma ịta ụta
ekwesighị ịdịrị anyị kama ịta ụta dịrị ndị gị."
[17] Fero zaghachiri ha sị, "Ndị umengwụ! N'ezie ndị umengwụ ka unu bụ. Ọ bụ ya
mere unu ji nọgide na-asị, 'Ka anyị gaa chụọrọ ONYENWE ANYỊ aja.' [18] Laghachinụ
azụ ugbu a n'ọrụ unu. A gaghị enye unu okporo ahịhịa ọbụla. Ma unu ga-arụpụtarịrị
ọnụọgụgụ brik dị ka a chọrọ n'aka unu."
[19] Ndịisi ọrụ ụmụ Izrel ghọtara na ha nọ na nsogbu mgbe a gwara ha okwu sị ha,
"Unu ga-akpụtarịrị ọnụọgụgụ brik unu kwesiri ịkpụ kwa ụbọchị." [20] Mgbe ha si
n'ihu Fero pụọ, ha zutere Mosis na Erọn ebe ha nọ na-eche ha. [21] Ndị nlekọta ọrụ
ndị a gwara Mosis na Erọn okwu sị, "Ka ONYENWE ANYỊ lee unu anya ma kpee unu
ikpe. Unu emeela ka anyị bụrụ ihe na-esi ajọ isi n'ihu Fero na ndị na-ejere ya ozi.
Unu etinyela mma agha n'aka ha nke ha ga-eji gbuo anyị."

### *Nkwa mgbapụta nke Chineke kwere*

[22] Mgbe ahụ Mosis laghachikwuru ONYENWE ANYỊ jụọ ya sị, "Onyenwe anyị, gịnị
mere i ji butere ndị a nsogbu? Gịnị mere i ji zite m? [23] N'ihi na site na mgbe
m jekwuuru Fero gwa ya okwu n'aha gị, o meela ka nsogbu dakwasị ndị a, ma ị
napụtabeghị ndị gị."

## 6

[1] Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, "Ugbu a, ị ga-ahụ ihe m ga-eme
Fero. N'ihi ike aka m, ọ ga-ezipụ ha. N'ihi ike aka, ọ ga-achụpụ ha site n'ala ya."
[2] Chineke gara n'ihu gwa Mosis sị, "Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ." [3] Egosiri m
Ebraham na Aịzik na Jekọb onwe m dịka Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile. Ma ọ
dịghị mgbe m mere ka ha mata aha m dịka ONYENWE ANYỊ. [4] Emere m ka ọgbụgba
ndụ m guzosie ike n'etiti mụ na ha, ọgbụgba ndụ nke inye ha ala Kenan ebe ha biri

† **5:6** 5:6 Ndị nlekọta ndị ohu na-arụ ọrụ bụ ndị Ijipt, ma ndịisi ndị ọrụ ahụ, bụ ndị Izrel. ‡ **5:7** 5:7 Brik bụ ụrọ a gwakọtara ya na okporo ọka. Ọ bụ okporo ọka ahụ e tinyere ya na-enye aka ime ka o sie ike mgbe a na-amị ya n'anwụ. N'oge owuwe ihe ubi, a na-egbupụ elu okporo ọka, ma hapụ ogwe ya. Ọ bụ ogwe ya ahụ, ka ụmụ Izrel na-egburu, gwakọta ya n'ụrọ jiri ya kpụọ brik.

dịka ndị ọbịa. 5 Ugbu a, anụla m ịsụ ude ụmụ Izrel, bụ ndị ahụ ndị Ijipt mere ka ha
bụrụ ndị ohu. Echetakwala m ọgbụgba ndụ m.
6 “Ya mere, gwa ụmụ Izrel, ‘Abụ m ONYENWE ANYỊ. Aga m akpọpụta unu site
n'ọnọdụ ịbụ ohu ndị Ijipt. Aga m eme ka unu nwere onwe unu site n'ọnọdụ ịbụ
ndị ohu nye ha. Aga m eji aka ike m nke m ga-esetipụ, ya na ihe ngosipụta dị ukwuu
nke ikpe ikpe m, gbapụta unu. 7 Mgbe ahụ, aga m ewere unu ka unu bụrụ ndị m.
Aga m abụ Chineke unu. Unu ga-amata na m bụ ONYENWE ANYỊ, onye kpọpụtara unu
site n'aka ịbụ ohu n'ala Ijipt. 8 Aga m akpọbata unu n'ala ahụ m weliri aka m elu,
ṅụọ n'iyi, nye Ebraham, na Aịzik, na Jekọb, ime ka ọ bụrụ ihe nketa unu. Abụ m
ONYENWE ANYỊ.’ ”
9 Mosis gwara ụmụ Izrel ihe ndị a, ma ha egeghị ntị n'ihi ịda mba nke obi ha na
ahụhụ sitere na ndọgbu n'ọrụ ha.
10 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu ọzọ sị, 11 “Gaa gwa Fero eze Ijipt, ka ọ hapụ
ụmụ Izrel ka ha pụọ n'ala ya.”
12 Mosis kwuru n'ihu ONYENWE ANYỊ sị, “Mgbe ụmụ Izrel na-aṅaghị m ntị, olee otu
Fero ga-esi ṅaa m ntị? Nke ka nke, enweghị m ike ikwu okwu nke ọma.”

### *Agbụrụ Mosis na Erọn*

13 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn okwu banyere ụmụ Izrel na banyere Fero
eze Ijipt. O nyere ha iwu sị ha site n'ala Ijipt kpọpụta ụmụ Izrel.

14 Ndị a bụ aha ndịisi ebo Izrel niile.

Ụmụ ndị ikom Ruben, ọkpara Izrel bụ,
Hanok na Palu, Hezrọn na Kami.
Ndị a bụ agbụrụ Ruben.

15 Ụmụ ndị ikom Simiọn bụ,
Jemuel, Jamin, Ohad, Jakin, Zoha na Shaul (onye nne ya bụ onye Kenan).
Ndị a bụ agbụrụ Simiọn.

16 *Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Livayị n'usoro e si mụọ ha:
Geshọn, Kohat na Merari.
Livayị n'onwe ya gbara narị afọ na iri afọ atọ na asaa mgbe ọ nwụrụ.
17 Ụmụ ndị ikom Geshọn, n'agbụrụ ha,
bụ Libni na Shimei, n'usoro ezinaụlọ ha.
18 Ụmụ ndị ikom Kohat bụ,
Amram, Izha, Hebrọn na Uziel.
Kohat gbara narị afọ na iri afọ atọ na atọ mgbe ọ nwụrụ.
19 Ụmụ ndị ikom Merari bụ
Mahali na Mushi.
Ndị a niile si n'agbụrụ Livayị, dịka ihe e dere banyere ha si dị.

20 Amram lụrụ Jokebed, nwanne nna ya. Erọn na Mosis bụ ụmụ ha ndị ikom.
Ma Amram gbara narị afọ na iri afọ atọ na asaa mgbe ọ nwụrụ.
21 Ụmụ ndị ikom Izha bụ
Kora, Nefeg na Zikri.
22 Ụmụ ndị ikom Uziel bụ,
Mishael, Elzafan na Sitri.

---

* **6:16** 6:16 N'usoro ọmụmụ a, ọ bụ naanị ndị ikom atọ e buru ụzọ mụọ ka a kpọrọ aha. Mosis na Erọn so na ndị ikom atọ Amram bụ ụzọ mụta.

[23] Erọn lụrụ Elisheba, nwa Aminadab, na nwanne nwanyị Nashọn. Ụmụ ha bụ,
Nadab, na Abihu, Elieza na Itama.

[24] Ụmụ ndị ikom Kora bụ,
Asịa, Elkena na Abiasaf.
Ndị a bụ ndị ikwu Kora.

[25] Elieza, nwa Erọn lụrụ otu n'ime ụmụ Putiel, onye mụtaara ya Finehaz.

Ndị a bụ aha ndịisi ezinaụlọ Livayị dịka ikwu ha si dị.

[26] Ọ bụkwa Mosis na Erọn ka ONYENWE ANYỊ gwara okwu sị, "Sitenụ n'ala Ijipt
dupụta ụmụ Izrel dịka ọnụọgụgụ ha si dị." [27] Ha bụ ndị gwara Fero, eze Ijipt okwu
banyere ime ka ụmụ Izrel site n'ala Ijipt pụọ. Ọ bụkwa otu Mosis na Erọn ahụ.

### *Erọn ga-ekwuchitere Mosis ọnụ ya*

[28] Otu ụbọchị, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu n'Ijipt, [29] ọ sịrị ya, "Mụ onwe m
bụ ONYENWE ANYỊ, gaa gwa Fero eze Ijipt ihe niile m gwara gị."
[30] Mosis kwuru n'ihu ONYENWE ANYỊ sị, "Lee, abụ m onye na-adịghị ekwuzi okwu
nke ọma, gịnị mere Fero ga-eji gee ntị n'ihe m ga-agwa ya?"

## 7

### *Ihe ịrịbama dị iche iche*

[1] Mgbe ahụ ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, "Emeela m gị ka ị dịrị ka Chineke
n'ebe Fero nọ. Nwanne gị Erọn ga-abụkwa onye amụma gị.* [2] Ị ga-agwa Erọn ihe
niile m gwara gị. Ọ ga-ekwukwa ha n'ihu Fero, rịọọ ya ka o kwere ka ụmụ Izrel hapụ
ala Ijipt. [3] Ma aga m eme ka obi Fero sie ike. Ọ bụ ezie na m ga-eme ọtụtụ ihe ịrịbama
n'ihe ebube n'ala Ijipt, [4] ma Fero agaghị ege unu ntị. Mgbe ahụ aga m eme ka aka m
bịakwasị Ijipt. Aga m esite n'oke ọrụ nke ikpe ọmụma dị oke egwu, mee ka ndị m,
Izrel, dịka usuu ha niile si dị, site n'ala Ijipt pụọ. [5] Ndị Ijipt ga-amata n'ezie na m bụ
ONYENWE ANYỊ, mgbe m setịpụrụ aka n'Ijipt, ma site n'etiti ha kpọpụta ụmụ Izrel."
[6] Mosis na Erọn mere dịka ONYENWE ANYỊ nyere ha iwu. [7] N'oge a, mgbe ha gwara
Fero okwu, Mosis agbaala iri afọ asatọ. Ma Erọn agbaala iri afọ asatọ na atọ.

### *Mkpanaka Erọn aghọọ agwọ*

[8] Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn sị, [9] "Mgbe Fero ga-agwa unu
okwu sị, 'Meenụ ihe ebube.' Ị ga-agwa Erọn okwu sị ya, 'Were mkpanaka gị tụpụ ya
n'ala n'ihu Fero.' Ọ ga-aghọ agwọ."
[10] Mgbe ahụ, Mosis na Erọn jekwuuru Fero mee dịka Onyenwe anyị nyere ha n'iwu.
Erọn tụpụrụ mkpanaka ya n'ala n'ihu Fero na ndị ozi ya. Ọ ghọrọ agwọ. [11] Ma Fero
kpọkọtara ndị maara ihe, na ndị mgbaasị, na ndị majiki nọ n'Ijipt. Ha bịara mee ụdị
ihe ịrịbama ahụ Mosis na Erọn mere site n'ihe nzuzo nke akaọrụ ha. [12] Onye ọbụla
n'ime ha tụpụrụ mkpanaka ya, nke ghọkwara agwọ. Ma mkpanaka ahụ Erọn tụpụrụ,
nke ghọrọ agwọ, loro mkpanaka ndị ahụ niile ndị Ijipt tụpụrụ. [13] Fero nyịchiri obi
ya, mee ka o sie ike. O geghị Erọn na Mosis ntị dịka Onyenwe anyị kwuru.

### *Mmiri aghọọ ọbara*

[14] ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, "Obi Fero siri ike. Ọ bụ nke a mere o ji na-aga
n'ihu na-ajụ ka ndị m laa. [15] Ma otu ọ dị; n'isi ụtụtụ echi, jekwuru Fero tupu ọ gaa

* **7:1** 7:1 Nke a pụtara, ga-abụ ọnụ na-ekwuru gị

n'osimiri.† Guzoro n'akụkụ osimiri Naịl, jidekwa mkpanaka ahụ ghọrọ agwọ n'aka
gị. 16 Ị ga-agwa Fero sị, 'ONYENWE ANYỊ, Chineke ndị Hibru, ezitela m ka m gwa gị sị,
hapụ ndị m ka ha gaa n'ọzara fee m ofufe. Tutu ruo ugbu a, ị jụrụ ige ntị.' 17 Ugbu a
ONYENWE ANYỊ kwuru nke a sị, 'Ị ga-amata site na nke a na mụ onwe m bụ ONYENWE
ANYỊ. Aga m ewere mkpanaka a nke m ji n'aka tie n'osimiri Naịl. Ọ ga-agbanwe ghọọ
ọbara. 18 Azụ niile dị n'ime ya ga-anwụ. Osimiri ahụ ga-esikwa isi dịka ihe rere ure.
Nke a ga-eme ka ọ bụrụ ihe rara ahụ nye ndị Ijipt ịṅụ mmiri site na ya.' "
19 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị ya, "Gwa Erọn ka o setịpụ mkpanaka
ya n'elu mmiri niile dị n'Ijipt. Nke a metụtara osimiri ha niile, mmiri ntakịrị ha niile,
ọdọ mmiri ha niile, na ebe niile ha na-echekọta mmiri. Ọbara ga-ejupụta ebe niile
n'Ijipt, ite mmiri na ite aja na ite osisi niile."
20 Mosis na Erọn mere dị ka ONYENWE ANYỊ nyere ha n'iwu ime. N'ihu Fero na
ndịisi ọrụ ya, Erọn weliri mkpanaka ya tie ya n'elu mmiri dị n'osimiri Naịl. N'otu
ntabi anya, mmiri ahụ gbanwere ghọọ ọbara. 21 Ka azụ dị n'ime mmiri Naịl nwụsịrị,
mmiri ahụ malitere na-esi isi ọjọọ, nke mere ka ndị Ijipt hapụ inwe ike ịṅụ mmiri
sitere na ya. Ọbara jupụtakwara n'ala Ijipt niile.
22 Ma ndị majiki Ijipt jikwa ihe nzuzo ha mee ka mmiri chaa ọbara ọbara.‡ Nke a
mere ka Fero nyịchie obi ya. Ọ ṅaghị Mosis na Erọn ntị, dịka ONYENWE ANYỊ gwara
ha na ọ ga-eme. 23 Fero tụgharịrị laghachi n'ụlọeze ya, na-echeghị echiche banyere
ihe niile ahụ e mere. 24 Ya mere, ndị Ijipt niile gwuru olulu mmiri n'akụkụ osimiri
ahụ ịchọ mmiri ọṅụṅụ ebe ha na-enweghị ike ịṅụ mmiri sitere n'osimiri Naịl.

### *Awọ ejupụta n'ala Ijipt*

25 Ụbọchị asaa gasịrị, site n'ụbọchị ONYENWE ANYỊ tichara ihe otiti ahụ na Naịl.

## 8

1 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, "Jekwuru Fero gwa ya, 'Nke a bụ ihe
ONYENWE ANYỊ kwuru. Hapụ ndị m, ka ha gaa fee m ofufe. 2 Ọ bụrụ na ị jụ ịhapụ
ha ka ha gaa, aga m eme ka awọ jupụta n'ala Ijipt niile. 3 Osimiri Naịl ga-ejupụta
n'awọ. Ha ga-abata n'ụlọeze gị na n'ime ọnụụlọ ndina gị, ma n'elu ihe ndina gị, ma
n'ụlọ ndị na-ejere gị ozi, ma n'ụlọ ndị gị niile, na n'ebe a na-esi nri, ma n'ime ihe e ji
agwakọta ụtụ ọka. 4 Awọ ndị a ga-arịgokwa n'ahụ gị, na n'ahụ ndị gị, na n'ahụ ndị
na-ejere gị ozi.' "
5 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, "Gwa Erọn, 'Setịpụ aka gị ya na
mkpanaka gị n'elu osimiri niile, na mmiri nta na ọdọ mmiri ndị Ijipt, mee ka awọ
jupụta ala Ijipt niile.' "
6 Erọn setịpụrụ aka n'elu mmiri niile nke Ijipt, awọ pụtara kpuchie ala ahụ niile.
7 Ma ndị majiki Ijipt jikwa ihe nzuzo ha mee ihe ahụ Mosis na Erọn mere. Ha mekwara
ka awọ jupụta ala ahụ niile.
8 Fero kpọrọ Mosis na Erọn rịọọ ha sị, "Rịọọnụ ONYENWE ANYỊ ka o wepụrụ mụ na
ndị m awọ ndị a. Emesịa aga m ekwe ka ndị gị gaa chụọrọ ONYENWE ANYỊ aja."
9 Mosis zaghachiri Fero sị, "Gị ka ọ dịrị ịgwa m mgbe m ga-arịọ arịrịọ a n'isi gị na
n'isi ndị gị, ka e wezuga awọ ndị a site n'ụlọ unu, ma hapụ naanị ndị nọ n'osimiri
Naịl."
10 Mgbe ahụ Fero sịrị Mosis, "Achọrọ m ka i mee ya echi."

† 7:15 7:15 Ndị Fero na-aga n'osimiri Naịl ụtụtụ ụbọchị niile, n'ihi ikpe ekpere nye chi Naịl, onye ha weere ka nna chi niile. Ya mere, mmadụ ime ihe ọbụla ga-emetụta osimiri Naịl dịka onye ahụ ịmetụ aka na mkpụrụobi ndị Ijipt. N'ihi na ha kwenyere na ihe ọbụla mee osimiri Naịl, n'ala Ijipt ga-aghọ ọzara. ‡ 7:22 7:22 Ihe ịrịbama (ọrịa na-efe efe) niile ndị a dị iche iche gosipụtara ike Chineke n'ebe ihe niile e kere eke dị, karịchasịa n'ebe ihe e kere eke nke ndị mmadụ na-efe dịka chi. Ọ bụ n'etiti ọnwa mbụ n'afọ ruo n'ọnwa anọ ka ihe ịrịbama niile ndị ahụ mere.

Mosis zaghachiri Fero sị, “Ọ dị mma, ka ọ dịrị dịka i kwuru. Mgbe ahụ, ị ga-amata
na o nweghị onye dịka ONYENWE ANYỊ Chineke anyị. 11 Awọ ndị a niile ga-apụ site
n’ebe ị nọ, na site n’ụlọ gị na site n’ụlọ ndị na-ejere gị ozi na site n’ụlọ ndị Ijipt niile.
Ọ bụ naanị n’osimiri Naịl ka ha ga-anọ.”
12 Mgbe Mosis na Erọn sitere n’ụlọ Fero pụọ, Mosis kpọkuru ONYENWE ANYỊ ka o
wepụ awọ ndị a o mere ka ha bịakwasị Fero. 13 ONYENWE ANYỊ mere ihe Mosis rịọrọ.
Awọ ndị ahụ niile nwụrụ n’ime ụlọ, na n’ama, na n’ọhịa. 14 E kpokọtara ozu awọ ndị
a niile n’ebe dị iche iche. Isi ọjọọ ha wetara n’ala ahụ dị egwu. 15 Ma mgbe Fero hụrụ
na awọ ndị a anwụchaala, o mechiri obi ya jụ ige Mosis na Erọn ntị, dịka ONYENWE
ANYỊ kwuru na ọ ga-eme.

*Ụmụ ndanda nta na-efe efe ejupụta ala Ijipt*

16 Ya mere, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị ya, “Gwa Erọn, setịpụ mkpanaka gị, tie
n’aja nke ala n’ala Ijipt niile, aja ya ga-aghọ anwụ nta nke na-ata ata.” 17 Mosis na
Erọn mere nke a. Mgbe Erọn setịpụrụ aka tie mkpanaka ya n’elu ala, anwụ nta
jupụtara n’ala Ijipt niile, n’ahụ ndị mmadụ, na n’ahụ anụmanụ ha. Ndanda ndị a
jupụtakwara n’uzuzu niile dị n’ala ahụ. 18 Ndị Ijipt na-eme majiki gbalịrị iji ihe nzuzo
ha mee otu ihe ahụ Erọn mere, ma ha enweghị ike ime ka anwụ nta ọbụla pụta.
Ebe ọ bụ na anwụ nta ndị a jupụtara n’ahụ mmadụ na n’ahụ anụmanụ niile.
19 Naanị ihe ndị na-eme majiki gwara Fero bụ, “Nke a bụ akaọrụ Chineke.” Ma Fero
mere ka obi ya sie ike. Ọ chọghị ige, ọ bụladị ndị majiki ya ntị, dịka ONYENWE ANYỊ
kwuru na ọ ga-eme.

*Usuu ijiji ejupụta ala Ijipt*

20 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị ya, “Bilie n’isi ụtụtụ echi jekwuru Fero. Mgbe ọ
ga-aga n’osimiri,* gwa ya okwu sị, ‘Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru, Hapụ ndị m
ka ha gaa fee m ofufe. 21 Ọ bụrụ na ị chọghị ime otu a, aga m eme ka igwe ijiji jupụta
n’ala Ijipt niile. Ha ga-ejupụta gị n’ahụ na n’ahụ ndị na-ejere gị ozi, na n’ahụ ndị gị
niile, na n’ime ụlọ unu niile.
22 “ ‘N’ụbọchị ahụ, igwe ijiji ndị a agaghị emetụ ndị nọ na Goshen ebe ndị m bi.
Mgbe ahụ ka ị ga-amata na mụ bụ ONYENWE ANYỊ bịara ije n’ala a. 23 Aga m emekwa ka
ọ pụta ìhè na o nwere ihe dị iche n’etiti ndị m na ndị gị. Ihe ịrịbama a ga-emezukwa
echi.’ ”
24 N’echi ya, ONYENWE ANYỊ mere dịka o kwuru. Igwe ijiji dị egwu n’ọnụọgụgụ
bịara n’ala Ijipt, jupụta n’ụlọ Fero, na n’ụlọ ndị niile na-ejere ya ozi, na n’ala Ijipt
niile. E mere ka ala Ijipt bụrụ ihe e ji ijiji mebie.
25 Mgbe ihe ndị a na-eme, Fero kpọrọ Mosis na Erọn gwa ha okwu sị, “Gaanụ chụọrọ
Chineke unu aja, ma ka ọ bụrụ n’ala Ijipt.”
26 Mosis zaghachiri Fero sị, “Nke ahụ abụghị ihe ziri ezi, n’ihi na aja anyị na-aga
ịchụrụ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị bụ ihe rụrụ arụ n’anya ndị Ijipt. Ọ bụrụ na anyị
achụọ aja a n’ihu ha, ha ga-eji nkume tugbuo anyị. 27 Anyị ga-aga njem ụbọchị atọ
n’ime ọzara gaa chụọrọ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị aja, dịka o nyere anyị iwu ka
anyị mee.”
28 Fero zaghachiri ha sị, “Aga m ekwenye ka unu ga chụọrọ ONYENWE ANYỊ Chineke
unu aja n’ọzara, ma unu agaghị aga ebe dị anya. Ugbu a, kperenụ m ekpere.”
29 Mosis zara Fero sị ya, “Ngwangwa m si n’ihu gị pụọ, aga m arịọ ONYENWE ANYỊ
arịrịọ. Echi, a ga-esite n’ụlọ Fero, na n’ụlọ ndị na-ejere ya ozi, na n’ụlọ ndị Ijipt niile
wezuga ijiji ndị a. Ọ ga-adị mkpa na Fero ga-elezi anya hapụ ịghọ aghụghọ ọzọ site
ịjụ ka ụmụ Izrel gaa chụọrọ ONYENWE ANYỊ aja.”

* **8:20** 8:20 Eleghị anya ọ na-aga ịsa ahụ

30 Mgbe ahụ, Mosis sitere n’ihu Fero pụọ rịọọ ONYENWE ANYỊ ka o mee ka ijiji ndị
a gabiga. 31 ONYENWE ANYỊ mere dịka Mosis rịọrọ. Ijiji ndị a sitere n’ụlọ Fero na ụlọ
ndị na-ejere ya ozi na ụlọ ndị Ijipt niile pụọ. O nwekwaghị ijiji ọ bụla fọdụrụ n’ala
ahụ. 32 Ma n’oge a, Fero gara n’ihu ime ka obi ya sie ike. O kweghị ka ụmụ Izrel laa.

# 9

*Ọrịa metụtara ụmụ anụ ụlọ*

1 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị ya, “Jekwuru Fero sị ya. ‘Nke a bụ ihe
ONYENWE ANYỊ Chineke ndị Hibru kwuru, “Hapụ ndị m ka ha gaa fee m.” 2 Ọ bụrụ
na ị jụ, ma gaa n’ihu igbochi ha, 3 aka ONYENWE ANYỊ ga-ewebata oke ọrịa na-efe efe
nke ga-abịakwasị igwe anụ ụlọ unu niile dị n’ubi. Ya bụ, ịnyịnya unu, na ịnyịnya
ibu unu, na ịnyịnya kamel unu, na ehi unu, na atụrụ unu na ewu unu. 4 ONYENWE
ANYỊ ga-akpa oke n’etiti anụ ụlọ ndị Ijipt na nke ndị Izrel. N’ihi ya, o nweghị anụ ụlọ
ọbụla si n’etiti anụ ụlọ ndị Izrel ga-anwụ.’ ”

5 ONYENWE ANYỊ ekwuola oge nke a ga-amalite sị, “Echi ka ONYENWE ANYỊ ga-eme
ihe dị otu a n’ala a.” 6 N’ụtụtụ echi ya, ONYENWE ANYỊ mere dịka o kwuru. Igwe anụ
ụlọ niile dị n’Ijipt nwụrụ. Ma ọ dịghị otu n’ime anụ ụlọ ụmụ Izrel nwụrụ. 7 Mgbe
ahụ Fero zipụrụ ndị mmadụ ndị gara chọpụta na o nweghị otu n’ime anụ ụlọ ụmụ
Izrel nwụrụ. Ma ọ bụladị mgbe ọ chọpụtara na nke a bụ eziokwu, ọ gbanweghị obi
ya, ọ nọgidere jụ ikwe ka ndị Izrel laa.

*Ọrịa etuto*

8 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn sị, “Sitenụ n’ekwu e ji esi nri
kporo ntụ nke Mosis ga-awụli elu n’ihu Fero. 9 Ntụ ahụ ga-efesasị, dịka uzuzu n’ala
Ijipt niile. Ọ ga-ebute etuto nke ga-aghọ ọnya n’ahụ ndị mmadụ na ụmụ anụmanụ
dị iche iche dị n’ala ahụ niile.”

10 Mosis na Erọn kpooro ntụ gaa guzo n’ihu Fero. Mgbe Fero nọ na-ele anya Mosis
wụliri ntụ ahụ elu. Ọ ghọrọ etuto, nke gbawara ghọọ ọnya n’ahụ ụmụ mmadụ na
ụmụ anụmanụ niile. 11 Ndị majiki Ijipt enweghị ike iguzo* n’ihu Mosis, n’ihi etuto
ndị jupụtara ha n’ahụ dịka ọ dị n’ahụ ndị Ijipt ndị ọzọ. 12 Ma ONYENWE ANYỊ mere
ka obi Fero sie ike. Ọ jụrụ ige Mosis na Erọn ntị dịka ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na
ọ ga-eme.

*Mkpụrụ mmiri a*

13 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis ọzọ sị, “Bilie n’isi ụtụtụ echi gaa gwa Fero okwu sị
ya, ‘Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ Chineke ndị Hibru kwuru, Hapụ ndị m ka ha gaa fee
m ofufe. 14 Ma ọ bụghị ya, n’oge a, aga m ezite ọrịa ọjọọ niile nke na-efe efe, ka ha
bịakwasị gị, na ndị na-ejere gị ozi, na ndị Ijipt niile. Nke a ga-eme ka unu ghọta na ọ
dịghị Onye ọzọ dịka m n’elu ụwa niile. 15 N’ihi na tupu oge a, agaara m esetipụ aka
m, jiri ajọ ọrịa tie gị na ndị gị niile nke ga-egbuchapụ unu site n’elu ụwa. 16 Ma ọ bụ
n’ihi nke a ka m ji guzobe gị, ka m gosipụta ike m n’ebe ịnọ, ka e nwe ike kwusaa
aha m n’ụwa niile. 17 Ma ị nọ na-ebuli onwe gị elu megide ndị m, jụ na ha agaghị ala.
18 Ya mere, n’oge dịka oge a echi, aga m ezipu oke ifufe nke ya na akụmmiri igwe so
n’ala Ijipt niile. Ụdị ifufe a adịbeghị mbụ n’ala Ijipt, malite n’oge a tọrọ ntọala ya
rute ugbu a. 19 Ya mere, nye iwu ka a gaa ngwangwa n’ubi unu webata anụ ụlọ unu
na ihe ndị ọzọ unu nwere n’ebe a ga-echebe ha, n’ihi na oke ifufe nke ya na mkpụrụ
mmiri so ga-egbu mmadụ na anụ ụlọ ọbụla a hapụrụ n’ezi.’ ”

* **9:11** 9:11 Ihe otiti ọrịa, bụ ihe ịrịbama ndị mbụ, metụtara naanị ihe ndị ahụ niile nke ndị Ijipt na-efe dịka chi. Ma ihe otiti ọrịa nke ugbu a, metụtara ndị majiki Ijipt dịka ihe ịdọ aka na ntị, ka ha gharakwa ị bịaghachi n’ihi imaa Mosis aka n’ihu.

20 Ụfọdụ ndị na-ejere Fero ozi, ndị na-atụ okwu ONYENWE ANYỊ egwu mere
ngwangwa gaa dulata anụ ụlọ ha, na ndị ohu ha. 21 Ma ndị ahụ na-enweghị nrube
isi nye okwu ONYENWE ANYỊ hapụrụ ndị ohu ha nakwa anụ ụlọ ha n'ọhịa.
22 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis, "Setịpụ aka gị n'eluigwe. Nke a ga-eme
ifufe nke ya na mkpụrụ mmiri so malite izokwasị ala Ijipt niile, na ụmụ mmadụ, na
anụmanụ, na ihe niile a kụrụ n'ubi n'Ijipt." 23 Mgbe Mosis setịpụrụ mkpanaka ya
n'ihu eluigwe, ONYENWE ANYỊ zidatara egbe eluigwe na oke ifufe nke ya na mkpụrụ
mmiri so. Amụma egbe eluigwe chakwara n'ala. Ya mere, ONYENWE ANYỊ zidatara
oke ifufe nke ya na mkpụrụ mmiri so n'ala Ijipt. 24 Mkpụrụ mmiri dara, amụma
gbukwara n'ihu nakwa n'azụ. N'ezie, ọ bụ oke ifufe dị njọ, ụdị nke a na-ahụtụbeghị
n'ala Ijipt kemgbe ọ ghọrọ nnukwu mba. 25 Mkpụrụ mmiri ahụ tigburu ihe niile dị
n'ọhịa, ma mmadụ ma anụmanụ niile dị n'ala Ijipt. O feturu ihe niile na-epu n'ubi,
ma ahịhịa niile dị n'osisi. 26 Ma akụkụ ebe mkpụrụ mmiri ndị a na-erughị bụ naanị
Goshen, ebe ụmụ Izrel bi.
27 Mgbe ahụ Fero ziri ozi ka a kpọ Mosis na Erọn. O kwupụtara n'ihu ha sị, "N'oge
a, emehiela m. ONYENWE ANYỊ bụ onye ezi omume, mụ na ndị m bụ ndị mejọrọ.
28 Kpee ekpere rịọọ ONYENWE ANYỊ n'ihi na oke mkpụrụ mmiri na egbe eluigwe a
ezuola. Aga m ekwe ka unu gaa, unu agaghị atụfukwa mgbe."
29 Mosis gwara Fero sị ya, "Mgbe m si n'obodo a pụọ, aga m esetipụ aka m
n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ, egbe eluigwe a, na ifufe a nke ya na mkpụrụ mmiri so
ga-akwụsịkwa. Site na nke a, ị ga-amata na ụwa niile bụ nke ONYENWE ANYỊ. 30 Ma
amaara m na gị onwe gị na ndị na-ejere gị ozi adịghị atụ ONYENWE ANYỊ Chineke
egwu."
31 Oke ifufe ahụ nke ya na mkpụrụ mmiri so mebiri ihe a kụrụ n'ubi, dịka flakisi
na ọka balị. N'ihi na n'oge a, ọka balị emenyela isi, flakisi etojuokwala maa ifuru.
32 Ma ifufe na mmiri ukwu ahụ emebighị ọka wiiti na spelti, n'ihi na ha achabeghị.
33 Mosis hapụrụ Fero si n'obodo ahụ pụọ. Ọ gbasapụrụ aka ya abụọ n'ihu ONYENWE
ANYỊ, egbe eluigwe na mkpụrụ mmiri ahụ kwụsịrị. Mmiri ozuzo kwụsịkwara izo
n'ala ahụ. 34 Mgbe Fero hụrụ na mmiri ozuzo na mkpụrụ mmiri na egbe eluigwe
akwụsịla, o mehiere ọzọ. Ya na ndị na-ejere ya ozi gara n'ihu nyịchie obi ha. 35 Ya
mere, Fero mere ka obi ya sie ike. Ọ jụrụ ikwere ka ụmụ Izrel pụọ, dịka ONYENWE
ANYỊ gwararịị Mosis.

# 10

*Igurube ejupụta ala Ijipt*

1 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, "Jekwuru Fero n'ihi na emeela
m ka obi ya, na obi ndị na-ejere ya ozi sie ike, ka m nwee ike rụọ ọrụ ịrịbama ndị
a dị iche iche n'etiti ha. 2 Nke a ga-abụ akụkọ unu ga-akọrọ ụmụ unu, na ụmụ ụmụ
unu, banyere otu m si mesie ndị Ijipt ike, na otu m si rụọ ọrụ ịrịbama m n'etiti ha,
ime ka unu mata na m bụ ONYENWE ANYỊ."
3 Ọzọ, Mosis na Erọn jekwuuru Fero gwa ya sị, "Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ Chineke
ndị Hibru kwuru, 'Ọ bụ ruo olee mgbe ka ị ga-ajụ iwedata onwe gị ala n'ihu m? Hapụ
ndị m ka ha gaa fee m ofufe. 4 Ọ bụrụ na ị jụ ikwere ka ha gaa, n'ụtụtụ echi, aga
m ezite igurube n'ala Ijipt. 5 Igurube ndị a ga-ekpuchi ihu ala Ijipt niile, ka mmadụ
ọbụla hapụ ịhụ ala anya. Ha ga-erichapụ ihe ndị fọdụrụ bụ nke ifufe na mkpụrụ
mmiri ahụ na-emebighị, tinyere osisi niile na-eto eto n'ubi unu. 6 Ha ga-ejupụta
n'ụlọ gị, na n'ụlọ ndị na-ejere gị ozi, na n'ụlọ ndị Ijipt niile. Ihe dị otu a bụ ụdị ihe
na-emetụbeghị na mbụ, nke nna gị maọbụ nna nna gị ha na-ahụtụbeghị ụdị ya site
na mgbe ha bidoro ibi n'ala a tutu ruo ugbu a.' " Mgbe ahụ, Mosis tụgharịrị hapụ
Fero pụọ.

7 Ndị na-ejere Fero ozi bịakwutere ya, jụọ ya sị, “Ruo ole mgbe ka nwoke a ga-
anọgide na-abụrụ anyị ihe ọnwụnwa? Hapụ ndị a ka ha laa, ka ha nwee ike ife
ONYENWE ANYỊ Chineke ha ofufe. Ọ bụ na ị ghọtabeghị na e bibiela Ijipt?”
8 Mgbe ahụ, a kpọghachiri Mosis na Erọn azụ n’ihu Fero. Ọ gwara ha sị, “Ọ dị
mma, gaa feenụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu ofufe.” Fero jụkwara ha sị, “Olee ndị
n’etiti unu ga-eso unu jee?”
9 Mosis zaghachiri sị, “Anyị niile na-aga, ụmụntakịrị na ndị okenye, ụmụ anyị ndị
ikom na ndị inyom, igwe ehi anyị na igwe ewu na atụrụ anyị; n’ihi na anyị na-aga
ime mmemme dị nsọ nye ONYENWE ANYỊ.”
10 Fero sịrị, “Ka ONYENWE ANYỊ nọnyere unu. Ma agaghị m ekwe ka unu na ndị
inyom unu, na ụmụntakịrị unu gaa. O doro anya na unu na-atụ atụmatụ ọjọọ n’ime
obi unu. 11 Ọ gaghị adị otu a! Jeenụ naanị* unu bụ ndị ikom gaa fee ONYENWE ANYỊ
unu ofufe, n’ihi na nke a bụ ihe unu na-arịọ.” Mgbe ahụ a chụpụrụ Mosis na Erọn
site n’ihu Fero.
12 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, “Setịpụ aka gị n’ala Ijipt ka igurube jupụta na ya,
kpuchie ebe niile, richapụ ihe niile na-eto eto dị n’ala ahụ bụ nke ifufe na mkpụrụ
mmiri ahụ hapụrụ.”
13 Ya mere, Mosis setịpụrụ mkpanaka ya n’elu ala Ijipt, ONYENWE ANYỊ mere ka ifufe
nke si n’ebe anyanwụ si awa fee n’ụbọchị ahụ niile na abalị ahụ niile. N’ụtụtụ ya,
ifufe ahụ si n’ebe anyanwụ si awa bubatara igurube ndị ahụ. 14 Ha niile kpuchichara
ala Ijipt niile, site n’otu akụkụ ruo n’akụkụ nke ọzọ. Nke a bụ mbata igurube kachasị
ibe ya njọ n’Ijipt. Ijipt agaghị enwekwa nke dịka ya ọzọ. 15 Ha kpuchiri ala niile
ruo mgbe ọchịchịrị gbachiri ya. Ha richapụrụ ihe niile na-eto n’ubi, na mkpụrụ niile
na-amị n’osisi, bụ nke ifufe na mkpụrụ mmiri ukwu ahụ hapụrụ. N’ikpeazụ, ọ dịghị
ahịhịa ndụ fọdụrụ n’ala ma n’elu osisi n’Ijipt niile.
16 Na-atụfughị oge, Fero ziri ozi ka a kpọọ Mosis na Erọn. Mgbe ha bịara, ọ gwara ha
sị, “Emehiela m megide unu na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu. 17 Biko gbagharakwa
m mmehie nke a, ma rịọọ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu ka o wepụrụ m ọnwụ nke
a. Ekwere m nkwa na agaghị m ajụkwa ọzọ ka unu laa.”
18 Mosis hapụrụ Fero pụọ gaa kpeere ONYENWE ANYỊ ekpere. 19 Ngwangwa,
ONYENWE ANYỊ zitere ikuku nke si n’ebe anyanwụ na-ada bịa, nke bupụrụ igurube
ndị ahụ site n’ala Ijipt, buba ha n’Osimiri Uhie. Ọ dịkwaghị otu igurube fọdụrụ n’ala
Ijipt niile. 20 Ma ONYENWE ANYỊ mere ka obi Fero sie ike, o kweghị ka ụmụ Izrel gaa
fee Chineke ofufe.

### *Ọchịchịrị n’ala Ijipt*

21 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, “Setịpụ aka gị abụọ n’eluigwe ka
ọchịchịrị gbaa n’ala Ijipt niile.” 22 Mosis setịpụrụ aka ya n’eluigwe. Oke ọchịchịrị
gbara abalị atọ n’ala Ijipt niile. 23 Ndị Ijipt ahụghị ihu ibe ha. Ha ahapụghịkwa ebe
obibi ha abalị atọ ahụ. Ma ụmụ Izrel nwere ìhè n’ebe niile ha bi.
24 Mgbe ahụ, Fero kpọrọ Mosis sị ya, “Gaanụ fee ONYENWE ANYỊ unu ofufe. Unu na
ndị inyom na ụmụ unu nwere ike ịga, ma unu ga-ahapụ igwe ehi unu na igwe anụ
ụlọ unu gaa.”
25 Mosis zara, “Ị ghaghị ịhapụ anyị ka anyị were ihe aja na aja nsure ọkụ, nke
anyị chee n’ihu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị. 26 Igwe anụ ụlọ anyị ga-esoro anyị. O
nweghị ihe ọ bụla anyị ga-ahapụ n’ihi na anyị ga-eji ụfọdụ n’ime ha fee ONYENWE
ANYỊ Chineke anyị ofufe. Ọ bụkwa naanị mgbe anyị ruru n’ebe ahụ ka anyị nwere
ike ịmata ihe anyị ga-eji fee ONYENWE ANYỊ anyị ofufe.”

* **10:11** 10:11 N’usoro ofufe chi ndị Ijipt, ọ bụ naanị ndị ikom na-ahụ ma na-emekwa ihe niile banyere ofufe, ndị inyom na ụmụntakịrị adịghị e sonyere ha. Ihe mere Fero ji na-ekwenyeghị na ndị inyom na ụmụntakịrị ha ga-eso gaa, bụ n’ihi ime ka ndị ikom ha nọgide n’ohu n’ala Ijipt.

27 Ma ONYENWE ANYỊ mere ka obi Fero sie ike. O kweghị ka ha laa. 28 Fero gwara
Mosis sị, “Si n’ihu m pụọ. Lezie anya hụ na ị bịaghị n’ihu m ọzọ. Ụbọchị ọbụla ị
nwara bịa n’ihu m, onye nwụrụ anwụ ka ị ga-abụ.”
29 Mosis zaghachiri Fero sị, “Ihe i kwuru dị mma, agaghị m abịakwa n’ihu gị ọzọ.”

# 11

### *Ogbugbu ụmụ e buru ụzọ mụọ*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis, “Aga m ewetara Fero na Ijipt otu ihe otiti ọzọ. Mgbe
nke a gasịrị, ọ ga-ekwe ka unu si n’ebe a pụọ. N’eziokwu, ọ ga-eji aka ya chụpụ unu
n’ala ya. 2 Gwa nwoke na nwanyị Izrel ọbụla ka ha jikere. Ha rịọọ ndị agbataobi ha
bụ ndị Ijipt, ka ha nye ha ihe ọbụla e ji ọlaọcha na ọlaedo kpụọ.” 3 ONYENWE ANYỊ
mere ka ụmụ Izrel nweta ihuọma n’ebe ndị Ijipt, na ndị agbataobi ha nọ. Nke ka
nke, Mosis ghọrọ onye a na-asọpụrụ n’etiti ndị ozi Fero na n’ihu ndị Ijipt niile.
4 Ya mere, Mosis sịrị, “Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, ‘N’ihe dịka n’etiti abalị taa,
aga m agafe n’ime ala Ijipt niile. 5 Mgbe nke a na-eme, ndị ikom niile e bụ ụzọ mụọ*
n’ala Ijipt ga-anwụ, site n’ọkpara Fero, onye nọ ugbu a n’ocheeze ya, ruo n’ọkpara
ohu onye nwanyị na-akwọ ihe na nkume ịkwọ nri, na ụmụ ehi niile e bụ ụzọ mụọ.
6 Mgbe nke a mere, iti mkpu akwa dị ukwuu ga-adị n’ala Ijipt, ụdị ga-ada n’ala Ijipt
niile nke na-adịbeghị n’ala Ijipt, ụdị iti mkpu akwa nke na-agaghị adịkwa ọzọ. 7 Ma
n’ebe ụmụ Izrel nọ, nkịta agaghị agbọ nwoke maọbụ nwanyị maọbụ anụmanụ ọbụla
ụja.’ Site na nke a, ị ga-amata na ONYENWE ANYỊ na-akpa oke n’etiti ndị Izrel na ndị
Ijipt. 8 Ndị ọchịchị gị ndị a ga-abịa gbuo ikpere rịọọ m sị m, ‘Biko kpọrọ ndị gị pụọ
n’obodo anyị.’ Mgbe ha mesịrị nke a, aga m apụ.” Iwe were Mosis mgbe o si n’ụlọ
Fero na-apụta.
9 ONYENWE ANYỊ agwalarị Mosis sị ya, “Fero agaghị ege gị ntị. Nke a ga-enye m
ohere ime ọtụtụ ihe ebube dị iche iche n’Ijipt.” 10 Ọ bụ ezie na Mosis na Erọn mere
ihe ebube ndị a n’ihu Fero, ma ONYENWE ANYỊ mere ka obi Fero sie ike, ka ọ hapụ
ikwe ka ụmụ Izrel si n’ala ya pụọ.

# 12

### *Mmemme Ngabiga na nke achịcha na-ekoghị eko*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn okwu n’ala Ijipt sị ha, 2 “Ọnwa a ga-abụrụ
unu isi ọnwa. Ọ ga-abụ ọnwa mbụ nke ọnwa niile n’afọ unu. 3 Gwa ọgbakọ ụmụ Izrel
niile okwu sị ha, N’afọ ọbụla, n’abalị iri nke ọnwa a, nwoke ọbụla ga-eweta nwa atụrụ
n’isi ezinaụlọ ọbụla. 4 Ezinaụlọ ọbụla nke dịkarịrị nta, nke na-enweghị ike iweta na
iricha otu nwa atụrụ, ga-ejekwuru ezinaụlọ ọzọ dịkwa nta, ka ha jikọtaa onwe ha
ọnụ weta nwa atụrụ. Ndị ga-ejikọta onwe ha ọnụ aghaghị ibu ụzọ pịa mmadụ ole ha
ga-adị nwee ike richaa otu atụrụ. 5 Nwa atụrụ a ga-eweta ga-abụ oke gbara naanị otu
afọ, nke na-enweghị ntụpọ ọbụla n’ahụ ya. Unu nwere ike họrọ atụrụ maọbụ ewu.
6 Unu ga-elekọta ya anya ruo n’ụbọchị nke iri na anọ nke ọnwa a. N’abalị ụbọchị
ahụ ka ọgbakọ Izrel niile ga-egbu ya. 7 Ha ga-ewere ọbara ya tee n’elu na n’akụkụ
ibo ọnụ ụzọ nke dị n’ezinaụlọ ha niile, ebe ha ga-anọ rie anụ atụrụ ahụ. 8 Ha ga-eri
anụ atụrụ a, nke a ga-ahụ n’ọkụ n’abalị ahụ, ya na achịcha na-ekoghị eko, na ahịhịa
ndụ na-elu ilu. 9 A gaghị eri nwa atụrụ ọbụla na ndụ, a gaghị esikwa ya esi, kama a
ga-ahụ ya n’ọkụ. A ga-ahụ akụkụ ahụ nwa atụrụ ọbụla n’ọkụ, tinyere isi ya, ụkwụ
ya na ihe dị n’ime afọ ya. 10 Unu agaghị erifọdụ ya ruo n’ụtụtụ echi ya. Nke ọbụla
ga-afọdụ n’abalị ahụ, a ga-akpọ ya ọkụ. 11 Otu a ka unu ga-esi rie ya: yirinụ uwe unu,

* **11:5** 11:5 Gbaa gburugburu ala niile dị n’etiti ọwụwa anyanwụ, ọdịnihu ezinaụlọ ọbụla na-adabere n’ọkpara.

na akpụkpọụkwụ unu.* Jirikwanụ mkpara unu. Jikerenụ dịka ndị na-aga njem dị
anya. Unu ga-eri anụ atụrụ a na achịcha na-ekoghị eko ngwangwa. A ga-akpọ oriri
a Mmemme Ngabiga ONYENWE ANYỊ.
12 "Aga m agafe n'ala Ijipt n'abalị ahụ, igbu ndị ikom niile e bụ ụzọ mụọ n'ala Ijipt,
ma mmadụ, ma anụmanụ. Aga m emekwa ka ikpe ọmụma bịakwasị chi ndị ọzọ ahụ
niile Ijipt na-efe ofufe. Abụ m ONYENWE ANYỊ. 13 Ọbara ahụ unu ga-ete n'ọnụ ibo ụlọ
unu ga-abụ ihe ama igosi ebe unu bi, n'ihi na mgbe m hụrụ ọbara ahụ, aga m agafe
unu. Ọ nwekwaghị ihe otiti ga-abịakwasị unu mgbe m ga-egbu ndị Ijipt.
14 "Ụbọchị a ga-abụrụ unu ihe ncheta nye ọgbọ niile ndị na-eso n'azụ. Unu
ga-emekwa ya ka ọ bụrụ mmemme nye ONYENWE ANYỊ. Ụkpụrụ nke na-adịgide
adịgide site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. 15 Ụbọchị asaa ka unu ga-eri achịcha na-ekoghị
eko.† N'ụbọchị mbụ nke ụbọchị asaa ahụ, ka unu ga-esite n'ụlọ unu wezuga ihe iko
achịcha niile, n'ihi na onye ọbụla riri nri nke ihe na-eko achịcha dị n'ime ya site
n'ụbọchị mbụ ruo n'ụbọchị nke asaa, aghaghị ibipụ ya site n'ala Izrel. 16 Unu ga-
ewere ụbọchị mbụ na ụbọchị nke asaa, nke mmemme ahụ, nwee mkpọkọta dị nsọ.
Onye ọbụla agaghị arụ ọrụ ọbụla n'ụbọchị abụọ ndị a, karịakwa isi nri unu ga-eri.
17 "Unu ga-edobekwa mmemme achịcha na-ekoghị eko n'ihi na ọ bụ n'ime otu
ụbọchị a ka m sitere n'ala Ijipt kpọpụta unu dịka usuu ndị agha. Unu ga-emekwa
mmemme ụbọchị a ka ọ bụrụ ụkpụrụ nke na-adịgide adịgide site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ
18 N'ọnwa mbụ, n'anyasị nke ụbọchị nke iri na anọ, ka unu ga-eri achịcha a na-ejighị
ihe na-eko achịcha mee ruo n'anyasị nke ụbọchị iri abụọ na otu. 19 N'ime ụbọchị
asaa ahụ, agaghị ahụ ihe na-eko achịcha n'ụlọ unu. A ga-esite n'ọgbakọ ndị Izrel
bipụ onye ọbụla riri ihe ọbụla nke ihe na-eko achịcha dị n'ime ya. Iwu a dịrị ndị
ọbịa niile n'ala Izrel, dịkwara ndị nwa afọ ala. 20 Unu agaghị eri ihe ọbụla e ji ihe
na-eko achịcha mee. N'ebe obibi unu niile, ọ bụ naanị achịcha na-ekoghị eko ka unu
ga-eri."
21 Mgbe ahụ, Mosis kpọkọtara ndị okenye ụmụ Izrel niile gwa ha okwu sị, "Gaanụ
họpụta ụmụ atụrụ n'ihi agbụrụ unu niile, gbuonụ atụrụ ngabiga ndị a. 22 Were ahịhịa
hisọp, denye ya n'ọbara si n'atụrụ ndị a nke a ga-awụnye n'efere, tee ya n'elu ibo na
n'akụkụ abụọ nke ọnụ ụzọ ụlọ unu. Onye ọbụla n'ime unu agaghị apụ n'ezi tutu ruo
ụtụtụ. 23 Mgbe ONYENWE ANYỊ ga-agafe igbu ndị Ijipt, ọ ga-ahụ ọbara ahụ n'awara na
mbudo ibo ọnụ ụzọ ụlọ unu. Ọ ga-agafe ụlọ unu, gharakwa ikwe ka onye mbibi bata
n'ụlọ unu gbuo unu.
24 "Unu ga-edobe mmemme a dịka iwu ga-adịgide nye unu na ụmụ unu. 25 Mgbe
unu batara n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ ga-enye unu dịka o kwere na nkwa, unu ga-edobe
ofufe‡ a. 26 Mgbe ụmụ unu ga-ajụ unu ajụjụ sị, 'Gịnị ka ofufe a pụtara?' 27 Unu ga-
azaghachi ha sị, 'Ọ bụ aja ngabiga anyị na-achụrụ ONYENWE ANYỊ n'ihi na ọ gafere
ụlọ ụmụ Izrel n'ala Ijipt, mgbe o gburu ndị Ijipt, ma o nweghị onye ọbụla n'ime anyị
o gburu.' " 28 Ụmụ Izrel mezuru ihe niile ONYENWE ANYỊ gwara ha site n'ọnụ Mosis
na Erọn.
29 N'ime etiti abalị ụbọchị ahụ, ONYENWE ANYỊ gburu ndị ikom niile e bụ ụzọ mụọ
n'ala Ijipt, malite n'ọkpara Fero onye nọ n'ocheeze ya, ruo n'ọkpara nke onye Ijipt
nọ n'ụlọ mkpọrọ olulu. O gbukwara ụmụ anụ ụlọ niile e bụ ụzọ mụọ. 30 N'abalị ahụ
kwa, Fero na ndị ozi ya, na ndị Ijipt niile biliri. Oke iti mkpu akwa dakwara n'ala
Ijipt, n'ihi na ọ dịghị ezinaụlọ ọnwụ na-erughị.

### *Ọpụpụ ụmụ Izrel*

* **12:11** 12:11 Akpụkpọụkwụ na belịt abụghị ihe ndị mmadụ na-eyi mgbe ọbụla ha nọ n'ụlọ. Mgbe ụmụ Izrel yiri ha, ha na-ezipụta okwukwe na olileanya ha nwere banyere ọpụpụ ha site n'ala Ijipt. † **12:15** 12:15 Ọ bụ nri a ha riri n'abalị ụbọchị ahụ mere e ji akpọ ncheta Mmemme Ngabiga, Mmemme achịcha na-ekoghị eko. ‡ **12:25** 12:25 Ofufe n'ebe ana-ekwu banyere mmemme ahụ.

31 N'otu abalị ahụ, Fero zipụrụ ozi ka a kpọ Mosis na Erọn. Mgbe ha bịara, ọ gwara
ha sị, "Ngwa bilienụ, unu bụ ụmụ Izrel niile. Kewapụnụ onwe unu site n'etiti anyị.
Gaanụ, fee ONYENWE ANYỊ unu ofufe dịka unu rịọrọ. 32 Durunụ igwe ehi na atụrụ
unu mgbe unu na-aga. Gọziekwanụ m mgbe unu na-apụ."
33 Ndị Ijipt gbalịrị ime ka ụmụ Izrel hapụ ha ngwangwa. Ha sịrịtara onwe ha,
"Ọ bụrụ na ụmụ Izrel ahapụghị anyị ugbu a, anyị niile ga-anwụkwa." 34 Ya mere,
ụmụ Izrel buuru ụtụ ọka e ji eme achịcha na-ekoghị eko, nke ha tinyere n'efere e ji
agwakọta ya. Ha ji akwa kechie ha, bukwasị ha n'ubu ha. 35 Ha mekwara ihe ndị
ọzọ dịka Mosis gwara ha. Ha rịọrọ ndị Ijipt ka ha nye ha ihe iji ngwa nke ọlaọcha
na ọlaedo, na uwe. 36 ONYENWE ANYỊ nyere ndị ya amara n'ihu ndị Ijipt, ha nyere ha
ihe niile ha rịọrọ. Site n'ụzọ dị otu a, ụmụ Izrel napụtara ndị Ijipt ihe niile ha ji biri
n'ụlọ.
37 Mgbe nke a gasịrị, ụmụ Izrel malitere ije ha site na Ramesis. Mgbe ha hapụrụ
Ramesis, na-eje Sukọt, ha dị narị puku ndị ikom isii, na-agụghị ndị inyom na
ụmụntakịrị. 38 Ọtụtụ mmadụ dị iche iche sooro ha n'ije ha. Ha dukwa igwe anụ
ụlọ, igwe ewu na atụrụ ha, nke dị ukwu n'ọnụọgụgụ. 39 Ha ji ụtụ ọka ha si Ijipt
buputa mee achịcha na-ekoghị eko. N'ihi na a chụpụrụ ha achụpụ site n'Ijipt, ha
enweghị ezi ohere kwadooro onwe ha ihe oriri.
40 Tupu ha ahapụ ala Ijipt, ụmụ Izrel ebiela n'ebe ahụ narị afọ anọ na iri afọ atọ.
41 Mgbe narị afọ anọ na iri afọ atọ zuru, n'ụbọchị ahụ o zuru, usuu ndị ONYENWE ANYỊ
niile hapụrụ Ijipt. 42 ONYENWE ANYỊ chere nche n'abalị ụbọchị ahụ maka ịkpọpụta
ha site n'ala Ijipt. N'ihi ya, abalị ụbọchị ahụ bụ mgbe pụrụ iche nye ụmụ Izrel maka
iji iche nche sọpụrụ ONYENWE ANYỊ n'ọgbọ ha niile.

### *Iwu metụtara Mmemme Ngabiga*

43 ONYENWE ANYỊ kpọrọ Mosis na Erọn gwa ha sị, "Ndị a bụ usoro iwu metụtara
Mmemme Ngabiga:
"Onye mba ọzọ agaghị eri anụ nwa atụrụ ahụ. 44 Ohu ọbụla a kwụrụ ụgwọ n'isi ya
ga-eri ya naanị ma e biri ya ugwu. 45 Ohu e goro ọrụ, maọbụ onye ọbịa ọbụla agaghị
eri ya.
46 "A ga-eri ya naanị n'ime otu ụlọ. Ọ gaghị apụ n'ezi. Unu agaghị atapịa ọkpụkpụ
ọbụla nke nwa atụrụ ahụ. 47 Nzukọ niile nke ụmụ Izrel ga-eme Mmemme Ngabiga a.
48 "Onye mba ọzọ bi n'etiti unu chọrọ isoro unu na Mmemme Ngabiga ONYENWE
ANYỊ aghaghị ibi ndị ikom niile nọ n'ezinaụlọ ya ugwu. Mgbe ahụ, ọ ga-abịaru nso
isoro na mmemme, n'ihi na a ga-agụ ya dịka nwa afọ ala. Ọ dịghị onye ikom a na-
ebighị ugwu ga-eri nri ahụ. 49 Otu iwu a dịrị nwa afọ ala na ndị ọbịa niile bi n'ala
Izrel."
50 Ụmụ Izrel mere ihe ndị a niile, dịka ONYENWE ANYỊ nyere ha n'iwu site n'ọnụ
Mosis na Erọn. 51 Ọ bụkwa n'otu ụbọchị ahụ ka ONYENWE ANYỊ sitere n'ala Ijipt
dupụta ụmụ Izrel, dịka usuu ha niile si dị.

# 13

### *Ido nsọ nke ụmụ e bụ ụzọ mụọ*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 2 "Dooro m nsọ onye ọbụla bụ ọkpara, onye
ọbụla e bụ ụzọ mụọ n'etiti ụmụ Izrel, na n'etiti mmadụ ma n'etiti anụ ụlọ, nke m ka
ọ bụ."
3 Mosis gwara ndị Izrel sị, "Chetanụ ụbọchị taa, ụbọchị unu si n'ala Ijipt pụta, ala
ebe unu bụ ndị ohu, n'ihi na ONYENWE ANYỊ sitere n'ike aka ya dị ukwu kpọpụta
unu site n'ebe ahụ. Unu erikwala achịcha ọbụla e ji ihe na-eko achịcha mee. 4 Taa,
n'ọnwa Abib, bụ ụbọchị unu na-ahapụ ala Ijipt. 5 Mgbe ONYENWE ANYỊ dubatara

unu n'ala ndị Kenan, ndị Het, ndị Amọrait, ndị Hiv na ndị Jebus bi n'ime ya, bụ
ala ahụ ọ ṅụrụ n'iyi nye nna nna unu ha na ọ ga-enye unu, ala mmiri ara ehi na
mmanụ aṅụ na-eru na ya, unu ga-eme ofufe mmemme a n'ọnwa a. 6 Unu ga-eri
achịcha na-ekoghị eko ụbọchị asaa ahụ. N'ụbọchị nke ikpeazụ n'ime ụbọchị asaa
ahụ, unu ga-eme mmemme oke oriri n'ihu ONYENWE ANYỊ. 7 Rienụ achịcha na-ekoghị
eko n'ime ụbọchị asaa ndị ahụ. Achịcha e ji ihe na-eko achịcha mee agaghị adị n'ụlọ
unu. Achịcha e ji ihe na-eko achịcha mee agaghị adị n'oke ala unu niile. 8 N'oge
ọbụla ị na-eme mmemme a, kọwaara nwa gị nwoke ihe kpatara i ji eme mmemme
a, si ya, 'Ana m eme mmemme a maka icheta ihe ONYENWE ANYỊ meere m, mgbe m si
n'Ijipt pụta.' 9 Imezu mmemme a ga-adịrị unu dịka ihe ịrịbama n'ala unu, dịrịkwa
ka ihe ngosi n'egedege ihu unu, ichetara unu na ONYENWE ANYỊ ji aka ike ya dupụta
anyị site n'ala Ijipt. 10 Unu ga na-eme mmemme a n'oge a kara aka n'afọ ọbụla.
11 "Mgbe ONYENWE ANYỊ dubatara unu n'ala ndị Kenan, nyefee unu ala ahụ dịka ọ
ṅụrụ n'iyi nye nna nna unu ha, 12 unu ga-enyefe ONYENWE ANYỊ ụmụ ndị ikom unu
niile e bụ ụzọ mụọ. Ọzọ, ụmụ oke anụ ụlọ niile e bụ ụzọ mụọ bụ nke ONYENWE
ANYỊ. 13 Jiri nwa atụrụ gbapụta nwa ịnyịnya ibu* mbụ e bụ ụzọ mụọ. Ọ bụrụ na unu
achọghị ịgbara nwa ịnyịnya ibu ahụ, unu aghaghị ịgbaji ya olu. Ma unu aghaghị
ịgbara ụmụ ndị ikom niile e bụ ụzọ mụọ.
14 "N'oge dị n'ihu, mgbe nwa gị nwoke ga-ajụ gị sị, 'Gịnị ka ihe ndị a pụtara?' Ị
ga-azaghachi ya sị, 'ONYENWE ANYỊ jiri aka ike dị ukwu dupụta anyị site n'Ijipt, site
n'ala nke ohu. 15 Mgbe Fero mesiri obi ya ike, jụ ka anyị si n'ala ya pụọ, ONYENWE
ANYỊ gburu ụmụ ndị ikom niile e bụ ụzọ mụọ n'ala Ijipt, ma mmadụ ma anụ ụlọ.
N'ihi ya, ana m eji ụmụ oke anụ ụlọ niile e bụ ụzọ mụọ achụ aja nye ONYENWE ANYỊ.
Ma ụmụ m ndị ikom niile e bụ ụzọ mụọ ka m na-agbapụta.' 16 Mmemme a ga-adị
ka ihe ịrịbama n'anya unu, dịrịkwa ka ihe ngosi n'egedege ihu unu, ichetara unu na
ONYENWE ANYỊ ji aka ike ya dupụta anyị site n'ala Ijipt."

### *Ngafe Osimiri Uhie*

17 Mgbe Fero mesịrị kwere ka ụmụ Izrel laa, Chineke edughị ha site n'ụzọ ahụ
gafere ala ndị Filistia. Ọ bụ ezie na ụzọ ahụ dị nso karịa.† Chineke mere nke a n'ihi
na o chere n'obi ya sị, "Ọ bụrụ na ndị a ezute agha, ha nwere ike ịgbanwe obi ha
tụgharịa ịlaghachi azụ n'Ijipt." 18 Ya mere, Chineke duuru ha ga n'ụzọ Osimiri Uhie,
nke gara n'ụzọ nke ọzara. Ụmụ Izrel kwadokwara akwado ibu agha mgbe ha si n'ala
Ijipt pụọ.
19 Mosis buuru ọkpụkpụ Josef mgbe ha na-ala. N'ihi na o mere ka ụmụ Izrel ṅụọ
iyi na ha ga-eme otu a, na-asị, "Chineke ga-eleta unu n'ezie, mgbe ahụ, unu aghaghị
iburu ọkpụkpụ m si n'ebe a pụọ."
20 Ha si Sukọt bilie ije, maa ụlọ ikwu ha na Etam, na nsọtụ ọzara. 21 ONYENWE ANYỊ
ji ogidi igwe ojii na-eje n'ihu ha n'ehihie, idu ha n'ụzọ ha niile. N'abalị, o ji ogidi
ọkụ, inye ha ìhè ka ha nwee ike ịga njem n'ehihie nakwa n'abalị. 22 Ma ogidi igwe
ojii n'ehihie na ogidi ọkụ ahụ n'abalị, ọ dịghị nke hapụrụ ọnọdụ ya n'ihu ha.

## 14

1 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis, 2 "Gwa ụmụ Izrel ka ha chigharịa azụ jee
maa ụlọ ikwu ha na ncherita ihu Pi Hahirot, nke dị n'etiti Migdol na osimiri. Ọ bụ
n'akụkụ osimiri, na ncherita ihu obodo Baal-Zefọn ka ha ga-ama ụlọ ikwu ha. 3 Fero
ga-asị banyere ụmụ Izrel, 'Ha na-awagharị gburugburu ala ahụ n'ọnọdụ mgbagwoju

* 13:13 13:13 Ịnyịnya ibu bụ otu n'ime anụ na-adịghị ọcha na nke e kwesighị ka e jiri ya nye onyinye ọbụla. Ọnụ 18:15; Lev 11:2-23 Ma n'ihi iba uru ha n'ihe banyere ọrụ, Chineke nyere oghere maka iji nwa atụrụ gbara ha. † 13:17 13:17 Ụzọ ahụ dị nso nke ha esiteghị, jupụtara n'ọtụtụ ebe mgbaba e wusiri ike nke ndị agha Ijipt na-eche nche.

anya ebe ọzara riri ha.’ 4 Aga m eme ka obi Fero sie ike ka ọ chụso unu ọsọ n’azụ, ma
m ga-ewetara onwe m otuto site na Fero na ndị agha ya niile. Ndị Ijipt niile ga-ama
na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.” Ndị Izrel mekwara otu ahụ.
5 Mgbe a gwara eze Ijipt na ndị a agbaala ọsọ, obi Fero na ndị ozi ya gbanwere
megide ndị Izrel. Ha sịrị, “Gịnị bụ ihe anyị mere, site na izipụ ndị Izrel n’ọrụ ife
anyị?” 6 Na-atụfughị oge, Fero rigoro n’elu ụgbọ agha ya, duru ndị agha ya ịchụso
ha. 7 Ọ chịịrị ụgbọ agha dị narị isii e leziri anya họpụta, tinyere ụgbọ agha Ijipt niile.
Ndịisi agha ndị Ijipt nọcha n’elu ha niile. 8 ONYENWE ANYỊ mere ka obi Fero eze Ijipt
sie ike. Ọ chụsoro ụmụ Izrel, ndị na-aga n’ihu n’ije ha, na-atụghị egwu maọbụ ịda
mba. 9 Ndị Ijipt chụsoro ha ọsọ, ịnyịnya Fero na ụgbọ agha, na ndị na-agba ịnyịnya
na ndị agha ndị ọzọ chụsoro ndị Izrel ọsọ chụkwute ha n’ebe ha na-ezu ike n’akụkụ
osimiri dị nso na Pi Hahirot na ncherita ihu Baal-Zefọn.
10 Mgbe ndị agha Fero na-abịa nso, ndị Izrel lere anya n’azụ, hụ ndị Ijipt ka ha
na-abịa nso. Ha tụrụ egwu, tie mkpu akwa, kpọkuo ONYENWE ANYỊ. 11 Ha jụrụ Mosis
sị, “Ọ bụ na o nweghị ili dị n’ala Ijipt, i ji kwagide anyị ka anyị niile bịa nwụọ n’ebe
a n’ọzara? Gịnị mere i ji kwagide anyị ka anyị hapụ Ijipt? 12 Ọ bụ na anyị agwaghị gị
n’ala Ijipt si gị, ‘Hapụ anyị ka anyị nọgide na-ejere ndị Ijipt ozi?’ Ọ gara akara anyị
mma ị bụ ohu ndị Ijipt karịa ịnwụ n’ọzara.”
13 Mosis zaghachiri ha sị, “Unu atụla egwu. Guzosienụ ike. Unu ga-ahụ ụzọ dị
ebube ONYENWE ANYỊ ga-esi zọpụta unu taa. Ndị Ijipt a unu na-ahụ taa, unu agaghị
ahụkwa ha ọzọ. 14 Nọrọnụ jii. ONYENWE ANYỊ ga-alụrụ unu ọgụ.”
15 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, “Gịnị mere i ji na-akpọku m.
Gwa ụmụ Izrel ka ha gaa n’ihu. 16 Welie mkpanaka gị elu. Setịpụ ya n’elu osimiri
ahụ ka o kewaa abụọ. Ụzọ ga-adịkwa n’etiti osimiri ahụ. Ụmụ Izrel ga-esitekwa
n’ala akọrọ gafee. 17 Aga m eme ka obi ndị Ijipt sie ike, ka ha sorokwa unu n’azụ
banye. Aga m ewetara onwe m otuto site na Fero, na ndị agha niile, na ụgbọ agha
niile nakwa ndị na-agba ịnyịnya ya. 18 N’oge ahụ, ndị Ijipt ga-amata na mụ onwe m
bụ ONYENWE ANYỊ. M ga-enweta nsọpụrụ site na Fero, na ụgbọ agha ya niile, na ndị
na-agba ịnyịnya ya.”
19 Mgbe ahụ, mmụọ ozi Chineke, onye na-aga n’ihu ndị agha Izrel, sitere n’ihu pụọ
gaa nọdụ n’azụ ha. Otu a kwa, ogidi igwe ojii ahụ sitere n’ihu gaa n’azụ ha. 20 Nke
a mere ka ogidi igwe ojii ahụ dịrị n’etiti ụmụ Izrel na ndị Ijipt. N’abalị ụbọchị ahụ,
Onyenwe anyị mere ka ogidi igwe ojii ahụ nye ụmụ Izrel ìhè, ma ndị Ijipt nọgidere
n’ọchịchịrị. Otu a, ndị Ijipt enweghị ike bịarute n’ebe ụmụ Izrel nọ.
21 Mgbe ahụ, Mosis setịpụrụ aka ya n’elu Osimiri Uhie ahụ. ONYENWE ANYỊ ji oke
ifufe si n’ọwụwa anyanwụ, nke fere n’abalị ahụ niile, nughachi osimiri ahụ, mee ka
osimiri ahụ kebie ụzọ abụọ, ka ụzọ pụta n’ala osimiri ahụ. 22 Ụmụ Izrel sitere n’etiti
osimiri ahụ gafee. Mmiri osimiri ahụ ghọọrọ mgbidi n’aka nri ha ma n’aka ekpe ha.
23 Mgbe ndị agha Ijipt na-achụ ha ọsọ hụrụ ha ka ha na-agafe, ha sogidere ha baa,
ọ bụladị n’etiti osimiri ahụ. Ndị agha Ijipt niile sooro ha, ya bụ, ụgbọ agha Fero,
ndị agha ya na ndị na-agba ịnyịnya ya niile. 24 N’isi ụtụtụ echi ya, ONYENWE ANYỊ
ledatara anya site n’ogidi igwe ojii ahụ na-enye ihe. O legidere ndị agha Ijipt anya,
tinyekwa ha ụjọ n’obi nke mere na ha amakwaghị onwe ha. 25 O mebiri ụkwụ ụgbọ
agha ha mee ka o siere ịnyịnya ha ike ịdọkpụ ụgbọ agha ndị ahụ. Mgbe ahụ, ndị
Ijipt kwuru sị, “Ka anyị sinụ n’ịchụ ndị Izrel gbapụ, n’ihi na ONYENWE ANYỊ na-alụrụ
ha ọgụ, na-emegidekwa anyị.”
26 Mgbe ụmụ Izrel gafesịrị ruo n’akụkụ nke ọzọ nke osimiri ahụ, ONYENWE ANYỊ
gwara Mosis okwu sị, “Setịpụ aka gị ọzọ ka mmiri ahụ kpuchigide ndị Ijipt, na ụgbọ
agha ha niile, na ndị na-agba ịnyịnya ya.” 27 Mosis setịpụrụ aka n’elu osimiri ahụ.
N’ụtụtụ ya, mmiri osimiri ahụ sọghachiri gaa ebe ọ nọ na mbụ. Ndị Ijipt chọsịrị ụzọ

ha si agbapụ ike, ma ONYENWE ANYỊ mere ka osimiri ahụ kpuchie ha. 28 Osimiri ahụ
kpuchigidere ụgbọ agha ha niile, na ndị na-agba ịnyịnya, na ndị agha Fero niile ndị
chụụrụ ụmụ Izrel baa n'ime osimiri ahụ. O nweghị otu onye n'ime ha fọdụrụ ndụ.
29 Ma ụmụ Izrel esitelarị n'ala nke mmiri kọrọ gafee osimiri ahụ. Mgbe ha na-
agafekwa, akụkụ abụọ nke osimiri ahụ guzoro ọtọ dịka mgbidi, n'aka nri ha ma
n'aka ekpe ha. 30 Site n'ụzọ dị otu a, ONYENWE ANYỊ zọpụtara ụmụ Izrel site n'aka
ndị Ijipt. Ụmụ Izrel hụkwara ozu ndị Ijipt n'ikpere mmiri osimiri ahụ. 31 Ụmụ Izrel
tụrụ egwu Onyenwe anyị mgbe ha hụrụ ihe ịrịbama ndị a ONYENWE ANYỊ ji zọpụta
ha site n'aka ndị Ijipt. Ha kwenyere na ONYENWE ANYỊ, kwenyekwa na Mosis ohu ya.

# 15

*Abụ Mosis*

1 Mgbe ahụ, Mosis na ụmụ Izrel bụkuru ONYENWE ANYỊ abụ dị otu a sị,
"Aga m abụku ONYENWE ANYỊ abụ
n'ihi na o buliela onwe ya elu nke ukwuu.
Ọ tụnyela ịnyịnya
na onye na-agba ya n'osimiri.

2 "ONYENWE ANYỊ bụ ike m na abụ m.
Ọ ghọrọla m nzọpụta.
Ọ bụ Chineke m, aga m etokwa ya,
Chineke nke nna m, aga m ebulikwa ya elu.
3 Onye na-ebu agha ka ONYENWE ANYỊ bụ.
N'ezie, aha ya bụ ONYENWE ANYỊ.
4 Ụgbọ agha Fero na usuu ndị agha ya,
ka ọ tụnyere n'osimiri ahụ.
Ndịisi agha Fero, ndị ahọrọ ahọ,
ka o mere ka Osimiri Uhie rie.
5 Ogbu osimiri ahụ ekpuchiela ha.
N'ime mmiri ahụ dị omimi ka ha rịdaruru dịka nkume.
6 Aka nri gị ONYENWE ANYỊ, dị ike,
dịkwa ebube.
Aka nri gị, ONYENWE ANYỊ
na-etipịasị ndị iro.

7 "N'oke ike nke ịdị elu gị,
Ị lụgbuola ndị niile na-ebili imegide gị.
I zipụrụ iwe gị dị ọkụ,
o repịara ha dịka igbugbo ọka.
8 I sitere na nkuume nke oghere imi gị,
mee ka mmiri osimiri guzoro ọtọ.
Mmiri ahụ na-erugharị erugharị guzoro n'otu ebe dịka mgbidi;
ogbu mmiri kpụkọtara rahụ n'ala ala nsọtụ nke osimiri.
9 Onye iro nyara isi sị,
'Aga m achụso ha, gafee ha.
Aga m ekesa ihe a kwatara n'agha.
Nyejuo onwe m afọ site na ha.
Aga m amịpụta mma agha m.
Jiri aka m laa ha n'iyi.'
10 Ma i kupụrụ ikuku si gị n'imi pụta,

osimiri riri ha,
ha mikpuru n'ime osimiri ukwu ahụ
dịka igwe.
11 Onye dịka gị ONYENWE ANYỊ,
n'etiti chi niile?
Onye dịka gị?
Onye dị ebube n'ịdị nsọ.*
Onye otuto ya na-eyi egwu.
Onye na-arụ ọrụ dị ebube?

12 "I setịpụrụ aka nri gị,
ala meghere ọnụ ya loo ndị iro gị niile.
13 Site n'ebere gị,
i dupụtara ndị ị zọpụtara.
Sitekwa n'ike gị dị ebube, i duru ha
ruo n'ebe obibi gị dị nsọ.
14 Ụwa niile nụrụ ya, maa jijiji.
Ndị Filistia ka oke ihe mgbu bịakwasịrị.
15 Ndị eze Edọm ga-anọ n'ọnọdụ obi ịlọ mmiri.
Ndị ndu Moab niile ga-abụ ndị ọma jijiji ga-ejidekwa,
ndị Kenan niile n'ọnọdụ ịtụ egwu ga-agbaze;
16 oke egwu na oke ụjọ ejidela ha.
Site n'ike nke aka gị,
ha ga-anọ jụụ dịka nkume,
tutu ruo mgbe ndị gị, ONYENWE ANYỊ, gafechara,
tutu ruo mgbe ndị gị, ndị ị zụtara nye onwe gị, gafechara.
17 Gị onwe gị ga-akpọbata ha, kụọ ha dịka mkpụrụ,
n'elu ugwu nke ihe nketa gị.
N'ebe ahụ, ONYENWE ANYỊ, i mere ka ọ bụrụ ebe obibi gị,
ebe nsọ ahụ, Onyenwe anyị, nke i ji aka gị tọọ ntọala ya.

18 "ONYENWE ANYỊ ga-abụ eze
ruo mgbe niile ebighị ebi."
19 Mgbe ịnyịnya Fero, na ụgbọ agha ya, na ndị na-agba ịnyịnya, gbabanyere
n'osimiri, ONYENWE ANYỊ mere ka mgbidi mmiri ahụ dagbuo ha. Ma ụmụ Izrel sitere
n'ala mmiri kọrọ gafee.

*Abụ Miriam na ndị inyom*
20 N'oge ahụ, Miriam onye amụma nwanyị, nwanne Erọn weere ịgba iti egwu n'aka
ya, duo ndị inyom ndị so ya, jiri ịgba egwu nke ha na-etekwa egwu. 21 Miriam bụrụ
abụ sị ha,
"Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ,
n'ihi na ọ bụ onye e buliri elu nke ukwu.
Ịnyịnya na ndị na-agba ha,
ka ọ tụnyere n'ime osimiri."

*Mmiri ilu Mara na Elim*
22 Mgbe ihe ndị a mesịrị, Mosis nọgidere na-edu ụmụ Izrel. Ha sitere n'Osimiri Uhie
ahụ bilie ije, jeruo ọzara Shua. Ha jere ije n'ime ọzara abalị atọ, ma ha achọtaghị
mmiri ọṅụṅụ 23 Mgbe ha ruru Mara, ha enweghị ike ịṅụ mmiri dị n'ebe ahụ, n'ihi na

* **15:11** 15:11 Onye ịdị nsọ ya dị ukwuu

mmiri ahụ na-elu ilu. (Ọ bụ ilu ilu a mere e ji kpọọ ya Mara.) 24 N'ebe a, ụmụ Izrel
malitere itamu ntamu, megide Mosis sị, "Olee mmiri anyị ga-aṅụ?"
25 Mosis tikuru ONYENWE ANYỊ mkpu akwa. ONYENWE ANYỊ gosiri Mosis osisi ọ ga-
atụnye n'ime mmiri ahụ. Mgbe Mosis mere otu a, mmiri ahụ malitere ịdị ụtọ ọṅụṅụ.
Ọ bụkwa na Mara ka ONYENWE ANYỊ nọ nye ha ụkpụrụ ya na iwu ya maka iji ya
nwalee ha. 26 Ọ sịrị, "Ọ bụrụ na unu ga-ege ntị nke ọma n'okwu ONYENWE ANYỊ
Chineke unu, mee ihe ziri ezi n'anya ya, ọ bụrụkwa na unu eleruo anya idebe iwu ya
na ụkpụrụ ya niile, ọ dịghị ọrịa nke m tinyere n'ahụ ndị Ijipt nke m ga-etinye n'ahụ
unu. N'ihi na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, onye na-agwọ unu ọrịa niile."
27 Ha bịaruru n'obodo Elim, ebe e nwere isi iyi mmiri ala na-asọpụta dị iri na abụọ,
na iri osisi nkwụ asaa. Ụmụ Izrel mara ụlọ ikwu ha n'akụkụ mmiri ahụ.

# 16

*Mánà na Kweel, nri dị iche Onyenwe anyị zitere*
1 Ọgbakọ ụmụ Izrel niile hapụrụ obodo Elim, jere ije bịarute n'ọzara Sin nke dị
n'etiti Saịnaị na Elim. Ha bịaruru n'ebe ahụ n'abalị iri na ise nke ọnwa abụọ, site na
mgbe ha hapụrụ Ijipt. 2 N'ọzara ahụ, nzukọ ahụ niile tamuru ntamu megide Mosis
na Erọn. 3 Ụmụ Izrel gwara ha sị, "Ọ gaara adị anyị mma ma a sị na ONYENWE ANYỊ
gburu anyị n'ala Ijipt. N'ebe ahụ ite anụ dị iche iche na-adọ n'ihu anyị, anyị na-
erikwa ụdị nri ọbụla anyị chọrọ. Ugbu a, i dubatala anyị n'ọzara ka anyị niile nwụọ
n'agụụ."
4 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, "Lee anya, aga m esi n'eluigwe zitere unu
achịcha. Onye ọbụla ga-aga tụtụkọtara onwe ya ihe oriri ụbọchị ọbụla dịka ọ chọrọ.
Aga m eji nke a lee ha ule ịmata ma ha ga-eme ihe m nyere ha n'iwu. 5 Gwa ha
na n'ụbọchị nke isii, ha ga-ewere nri ha ga-ericha n'ụbọchị ahụ, ma nri ha ga-eri
n'ụbọchị nke asaa, ka ha ga-achịkọta n'ụbọchị nke isii."
6 Mosis na Erọn kpọkọtara ụmụ Izrel sị ha, "N'anyasị a ka unu ga-amata na ọ bụ
ONYENWE ANYỊ dupụtara unu site n'ala Ijipt. 7 Unu ga-ahụkwa ebube ONYENWE ANYỊ
n'ụtụtụ echi, n'ihi na ONYENWE ANYỊ anụla ntamu unu megide ya. Onye ka anyị bụ
unu ga-eji na-atamu ntamu megide anyị?" 8 Mosis kwukwara sị, "Mgbe ONYENWE
ANYỊ nyere unu anụ unu ga-eri n'anyasị a, nyekwa unu achịcha ga-eju unu n'ụtụtụ,
unu ga-amata na ọ bụ ONYENWE ANYỊ, n'ihi ọ nụla ntamu unu megide ya. Onye ka
anyị bụ? Ọ bụghị anyị ka unu na-atamu megide kama ọ bụ ONYENWE ANYỊ ka unu
na-atamu megide."
9 Mgbe ahụ, Mosis gwara Erọn okwu sị ya, "Gwa nzukọ Izrel niile okwu sị ha,
'Pụtanụ bịa n'ihu ONYENWE ANYỊ, n'ihi na ọ nụla ntamu unu.' "
10 Mgbe Erọn nọ na-agwa nzukọ Izrel okwu, ha lepụrụ anya n'ọzara hụ ebube
ONYENWE ANYỊ ka ọ pụtara ihe n'igwe ojii.
11 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 12 "Anụla m ntamu nke ụmụ
Izrel na-atamu. Gwa ha sị, 'N'anyasị taa, unu ga-ata anụ, n'ụtụtụ echi unu ga-eri
achịcha. Mgbe ahụ, unu ga-amata na abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu.' "
13 N'oge uhuruchi ụbọchị ahụ, nnụnụ kweel* bịara kpuchie ọmụma ụlọ ikwu ahụ.
N'isi ụtụtụ echi ya, igirigi dakwara gburugburu ọmụma ụlọ ikwu ahụ. 14 Mgbe ala
kọrọ mmiri igirigi ahụ, ihe dịka achịcha mbadamba nta jupụtara n'ala ọzara ahụ
niile. 15 Mgbe ụmụ Izrel hụrụ ya, ha jụrịtara onwe ha ajụjụ sị, "Gịnị bụ nke a?"
Mosis zaghachiri ha sị, "Ọ bụ achịcha ONYENWE ANYỊ nyere unu ka unu rie. 16 Ihe
ndị a bụ iwu ONYENWE ANYỊ nyere, 'Ka onye ọbụla chịkọta naanị nke ọ ga-ericha. Ihe
ọtụtụ ọmaa† maka otu onye dịka ọnụọgụgụ ha si dị n'ezinaụlọ.' "

* **16:13** 16:13 Ya bụ ọkụkọ ọgazị † **16:16** 16:16 Ya bụ ihe ruru otu kilogram na ụma anọ

17 Ụmụ Izrel mere dịka a gwara ha, ụfọdụ chịkọtara nke hiri nne, ụfọdụ nke dị
nta. 18 Mgbe ha ji ihe ọtụtụ ọmaa tụọ ya, ha chọpụtara na onye chịkọtara hie nne
enweghị karịa nke zuru ya, onye chịkọtakwara nke nta, ọ dịghị ihe fọdụrụ ya inweta.
Onye ọbụla chịkọtara dị ka ihe ga-ezuru ya si dị.
19 Mosis gwara ha sị, "Ka onye ọbụla hụ na o nweghị nke ga-afọdụ ruo ụtụtụ echi
ya."
20 Ma ụfọdụ n'ime ha egeghị Mosis ntị. Ha rifọrọ nri ahụ debe ya. Ma mgbe chi
echi ya bọrọ, ha chọpụtara na ha ereela ure jupụta n'ikpuru, ma na-esikwa isi dị
njọ. Mosis were iwe dị ukwuu megide ụmụ Izrel n'ihi ya.
21 Site n'ụbọchị ahụ, gaa n'ihu, ezinaụlọ ọbụla na-ewebata nri n'ụtụtụ ọbụla, dịka
mkpa ha siri dị. Mgbe anwụ wara, nri ahụ niile fọdụrụ na-agbaze. 22 N'ụbọchị nke
isii, ha na-ewere nri okpukpu abụọ karịa ka ha na-ewe n'ụbọchị ndị ọzọ. Mgbe ndịisi
nzukọ Izrel hụrụ mgbanwe dị otu a, ha bịara kọọrọ Mosis. 23 Mosis zara sị ha, "Nke a
bụ iwu ONYENWE ANYỊ nyere: 'Ụbọchị echi bụ ụbọchị izuike, ụbọchị nke asaa dị nsọ
nye ONYENWE ANYỊ. Ya mere, sienụ ihe niile unu nwere isi taa, n'ihi na unu agaghị
esi ihe ọbụla echi. Nri ọbụla unu rifọrọ, hapụnụ ya ka ọ bụrụ nri unu ga-eri echi.' "
24 Ha mere dịka Mosis gwara ha. Mgbe chi echi bọrọ, ha chọpụtara na nri ha dị
mma dịkwa ụtọ, ikpuru adịghịkwa n'ime ya. 25 Mosis gwara ha sị, "Nke a ga-abụ ihe
oriri unu taa, n'ihi na ọ bụ ụbọchị izuike nye ONYENWE ANYỊ. Ọ dịghị nri unu ga-ahụ
nke unu ga-achịkọta taa. 26 Abalị isii ka unu ga-achịkọta nri unu ga-eri. Ma n'abalị
nke asaa bụ ụbọchị izuike, unu agaghị ahụ nri unu ga-achịkọta."
27 Ụfọdụ lefuru ọkwa ahụ Mosis maara ha anya. Ha pụrụ n'ụbọchị izuike ahụ ịchọ
nri, ma o nweghị nke ha nwetara. 28 N'ihi nke a, ONYENWE ANYỊ jụrụ Mosis ajụjụ sị ya,
"Ruo ole mgbe ka unu ga-anọgide na-enupu isi n'iwu m na ịdọ aka na ntị m? 29 Lee,
ONYENWE ANYỊ enyela unu ụbọchị izuike. Ya mere, n'ụbọchị nke isii ọ na-enye unu
nri ga-ezuru unu abalị abụọ. Onye ọbụla n'ime unu kwesiri ịnọgide n'ụlọ unu. Unu
ekwesighị ịpụ apụ." 30 N'ihi nke a, ndị Izrel niile zuru ike n'ụbọchị nke asaa.
31 Ndị Izrel kpọkwara aha nri ahụ ha na-achịkọta mánà. Ọ dị ọcha dịka mkpụrụ
kọrianda. Ọ na-atọkwa ụtọ dịka achịcha e ji mmanụ aṅụ mee. 32 Emesịa, Mosis gara
n'ihu gwa ha okwu sị, "ONYENWE ANYỊ enyela iwu sị, 'Na unu ga-eji ihe ọtụtụ ọmaa
tụpụta mánà nke unu ga-edebe. Ọ ga-abụ ihe ncheta ga-adịrị ọgbọ ndị Izrel niile
na-abịa n'ihu. N'ụzọ dị otu a, ụmụ unu ga-ahụ ụdị achịcha m jiri zụọ unu n'ime
ọzara mgbe m gbapụtara unu site n'ala ndị Ijipt.' "
33 N'ihi nke a, Mosis nyere Erọn iwu sị ya, "Tụrụ ọtụtụ ọmaa mánà tinye ya n'ime
ite nta. Bute ya debe ya n'ihu ONYENWE ANYỊ, ka ọ bụrụ ihe ga-adịgide nye ọgbọ dị
n'ihu."
34 Emesịa, Erọn dọnyere mánà a n'ihu Ihe Ama e debere n'ime ụlọ ikwu, dịka
ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu. 35 Ndị Izrel niile riri mánà ndị a iri afọ anọ‡ tutu
ruo mgbe ha batara n'ala ebe ndị mmadụ bi, tutu ruo mgbe ha bịarutere n'oke ala
Kenan.
36 (Ihe ọtụtụ ọmaa bụ otu ọtụtụ n'ime ọtụtụ iri nke ga-eju ihe ọtụtụ efaf.)

# 17

*Mmiri si na nkume*

1 Ọgbakọ ụmụ Izrel niile sitere n'ọzara Sin bilie ije ha, na-aga site n'otu ebe ruo
n'ebe ọzọ dịka ONYENWE ANYỊ nyere n'iwu. Ha mara ụlọ ikwu ha na Refidim, ma ọ
dịghị mmiri dị nke ndị mmadụ ga-aṅụ. 2 N'ihi nke a, ha sesịrị Mosis okwu, sị, "Nye
anyị mmiri ka anyị ṅụọ."

---

‡ **16:35** 16:35 Mánà kwụsịrị isi n'elu dara ụmụ Izrel, mgbe ha mesịrị mmemme oriri achịcha na-ekoghị eko n'ala Kenan. Jos 5:10-12

Mosis zara, sị, “Gịnị mere unu ji esesị m okwu? Gịnị mere unu ji chọọ ịnwapụta
ntachiobi ONYENWE ANYỊ?”
3 Ma akpịrị mmiri kpọrọ ndị a nkụ n’ebe ahụ, nke a mere ka ha tamuo ntamu
megide Mosis. Ha sịrị, “Ọ bụkwa n’ihi gịnị ka i ji site n’obodo Ijipt kpọpụta anyị, ime
ka anyị, ụmụntakịrị anyị na anụ ụlọ anyị nwụọ n’ihi akpịrị ịkpọ nkụ?”
4 N’ihi ya, Mosis tikuru ONYENWE ANYỊ mkpu akwa sị, “Gịnị ka m ga-eme banyere
ndị a. Lee, ha chọrọ itugbu m na nkume.”
5 Ma ONYENWE ANYỊ zaghachiri Mosis, sị ya, “Gaa n’ihu ndị a, kpọrọ ụfọdụ n’ime
ndị okenye Izrel. Jirikwa mkpanaka ahụ n’aka gị, bụ nke i tiri n’elu osimiri Naịl gaa.
6 Lee, Aga m eguzo n’ihu gị n’akụkụ nkume dị na Horeb. Ị ga-akụ mkpara gị n’elu
nkume ahụ. Mmiri ga-asọpụtakwa site na ya, ka ndị mmadụ ṅụọ.” Ya mere, Mosis
mere otu a n’ihu ndị okenye Izrel niile. 7 N’ihi nke a, ọ kpọrọ aha ebe ahụ Masa na
Meriba n’ihi esemokwu ụmụ Izrel na n’ihi nwale ha nwalere ONYENWE ANYỊ, na-asị,
“ONYENWE ANYỊ ọ nọnyeere anyị, ka ọ bụ na ọ nọnyereghị anyị?”

*Mmeri e meriri ndị Amalek n’agha*

8 Ndị Amalek* bịara lụso ụmụ Izrel agha na Refidim. 9 Mosis gwara Joshua okwu
sị ya, “Họpụta ụfọdụ ndị ikom ka ha gaa lụso ndị Amalek agha. Echi, mụ onwe m
ga-eguzoro n’elu ugwu, jidekwa mkpara Chineke n’aka m.”
10 Ya mere, Joshua pụrụ gaa lụso ndị Amalek agha dịka Mosis gwara ya. Ma Mosis
na Erọn na Hua, rigoro n’elu ugwu ahụ. 11 Ndị Izrel na-enwe mmeri mgbe ọbụla
Mosis weliri aka ya elu, ma ndị Amalek na-emeri mgbe ọbụla Mosis wedatara aka ya.
12 Mgbe ike gwụrụ aka Mosis, ha butere nkume tinye n’okpuru ya mee ka ọ nọkwasị
n’elu ya. Erọn na Hua jidere aka Mosis abụọ welie ya elu, otu onye n’akụkụ a, onye
nke ọzọ n’akụkụ nke ọzọ. Ime ka aka Mosis guzosie ike tutu ruo mgbe anwụ dara.
13 N’ihi nke a, Joshua na ndị agha ya meriri ndị agha Amalek site n’iji mma agha
gbuo ha.
14 Emesịa, ONYENWE ANYỊ sịrị Mosis, “Dee ihe niile ndị a n’akwụkwọ, ka ọ bụrụ ihe
ncheta. Gụgharịakwa ya na ntị Joshua. N’ihi na aga m ehichapụ ihe niile a ga-eji
cheta Amalek n’elu ụwa.”
15 Mosis wuru ebe ịchụ aja nye ONYENWE ANYỊ. Ọ kpọrọ ya ONYENWE ANYỊ Nisi, nke
pụtara, ONYENWE ANYỊ bụ ọkọlọtọ m. 16 Mosis sịrị, “N’ihi na-eweliri aka elu n’ebe
ocheeze ONYENWE ANYỊ dị. ONYENWE ANYỊ ga na-ebuso ndị Amalek agha site n’ọgbọ
ruo n’ọgbọ.”

# 18

*Ndụmọdụ Jetro*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, Jetro, nna nwunye Mosis, onye bụkwa onye nchụaja Midia,
nụrụ banyere ihe niile Chineke meere Mosis na Izrel ndị nke ya, na ụzọ ONYENWE
ANYỊ si napụta Izrel site n’aka ndị Ijipt.
2 Jetro ọgọ nwoke Mosis kpọọrọ Zipọra, nwunye Mosis, mgbe Mosis chụlara ya 3 na
ụmụ ya ndị ikom abụọ. Aha nwa ya nke mbụ bụ Geshọm, nke pụtara, abụ m ọbịa
na mba ọzọ. 4 Aha nwa nwoke nke abụọ bụ Elieza, nke bụ, ONYENWE ANYỊ bụ onye
inyeaka m. N’ihi na mgbe Mosis mụrụ Elieza o kwuru sị, “Chineke nna m bụ onye
inyeaka m, n’ihi na ọ napụtara m site na mma agha Fero.”
5 Jetro, ọgọ nwoke Mosis, bịakwutere ha n’ime ọzara. O dutere ụmụ ndị ikom
Mosis abụọ na nwunye Mosis. N’oge ahụ, Mosis na ụmụ Izrel mara ụlọ ikwu ha
n’akụkụ ugwu Chineke. 6 O ziri Mosis ozi sị, “Mụ bụ Jetro ọgọ gị nwoke bịakwutere
gị, nwunye gị na ụmụ gị abụọ sokwa m.”

* **17:8** 17:8 Ndị Amalek bụ ụmụ ụmụ Ịsọ, Jen 36:12 Ha bụ ndị ọjọọ, na-apụnara ndị mmadụ na-aga n’ọzara ihe n’ike.

7 N’ihi ya, Mosis gara zute ọgọ ya nwoke, kpọọ isiala nye ọgọ ya, sutu ya ọnụ.
Emesịa, ọ kpọbatara ha n’ime ụlọ ikwu ya. Jetro na ọgọ ya Mosis kwurịtara okwu,
jụọ ihe banyere otu ihe si agara ibe ha. 8 Mosis kọọrọ nna nwunye ya ihe niile
Onyenwe anị mere Fero na ndị Ijipt niile n’ihi ndị Izrel. Ọ kọkwaara ya banyere
ihe ndakwasị niile dakwasịrị ha n’ime ọzara, na otu Onyenwe anị si napụta ha.
9 Jetro soro Mosis ṅụrịa ọṅụ nke ukwuu n’ihi ihe niile Onyenwe anị meere ndị
Izrel, na otu o siri napụta ha site n’aka ndị Ijipt. 10 Jetro kwuru sị, “Onye a gọziri
agọzi ka Onyenwe anị bụ. Onye napụtara unu site n’aka ndị Ijipt na site n’aka
Fero. 11 Ugbu a, amaara m na Onyenwe anị kachasị chi ndị ọzọ niile elu, n’ihi na
ọ zọpụtara ndị ya site n’aka ndị Ijipt ndị sitere na mpako ha meso Izrel mmeso.”
12 Jetro, nna nwunye Mosis chụọrọ Chineke aja nsure ọkụ na aja ndị ọzọ. Emesịa,
Erọn na ndị okenye Izrel bịara soro Mosis na ọgọ ya nwoke rie ihe n’ihu Chineke.
13 N’ụbọchị nke ọzọ ya, Mosis bịara nọdụ ala ikpere ndị mmadụ ikpe. Igwe mmadụ
nọgidere Mosis site n’ụtụtụ ruo n’anyasị. 14 Ọgọ Mosis hụrụ ihe niile ọ na-emere ndị
mmadụ, nke a mere na ọ jụrụ, “Gịnị bụ ihe nke a ị na-emere ndị a? Gịnị mere i ji
nọdụ ala naanị gị, ndị a niile gbaa gị gburugburu malite n’ụtụtụ ruo n’anyasị?”
15 Mosis zara nna nwunye ya sị, “N’ihi na ha bịara ịjụta m ihe si n’aka Chineke.
16 Ọ bụrụ na esemokwu adịrị n’etiti mmadụ ọbụla na ibe ya, ha na-abịakwute m,
ka m kpebie ihe dị n’etiti mmadụ na ibe ya. Ana m eme ka ha mata iwu na ụkpụrụ
Chineke.”
17 Mgbe Jetro, nna nwunye Mosis, nụrụ ihe ndị a niile, ọ sịrị Mosis, “Ihe ị na-eme
adịghị mma. 18 Ike ga-agwụ gị, gwụkwa igwe mmadụ ndị a. Ọrụ a ị na-arụ dị ukwuu
karịa gị. Naanị gị agaghị ebuli ya. 19 Ugbu a, gee m ntị. M ga-adụ gị ọdụ, ka Chineke
nọnyekwara gị. Ọ ga-adị mma ma ọ bụrụ na ị bụ onye na-anọchi anya ndị a n’ihu
Chineke. N’ụzọ dị otu a, i nwere ike iweta nsogbu niile ha nwere n’ihu Chineke. 20 Ihe
ọzọ ị ga-eme bụ nke a: ị ga-akụziri ha iwu na ụkpụrụ Chineke, gosikwa ha ụzọ ha
ga-esi bie ndụ, na ọrụ ha kwesiri ịrụ. 21 Ma site n’etiti ndị a họpụta ndị ikom tozuru,
ndị ikom na-atụ egwu Chineke, ndị kwesiri ntụkwasị obi na ndị kpọrọ uru n’ezighị
ezi* asị. Mee ha ndịisi na-achị imerime puku ndị mmadụ, ndịisi narị mmadụ, ndịisi
iri mmadụ ise na ndịisi mmadụ iri. 22 Mee ka ha bụrụ ndị ikpe nye ndị mmadụ oge
niile. Nye iwu ka ha na-ewetara gị okwu dịkarịsịrị ike, ma na-ekpe ikpe gbasara
okwu dị mfe na ndị ọzọ niile dị iche iche. N’ụzọ dị otu a, ndị ikpe ndị ahụ ga-enyere
gị aka ime ka ibu arọ gị dị mfe. 23 Ọ bụrụ na ị ga-eme ihe niile ndị a, ọ bụrụkwa na
Chineke ekwenye, ị ga-enwe ike nagide nsogbu niile. Mmadụ niile ga-ewere udo na
ọṅụ birikwa.”
24 Mosis gere ntị n’ihe niile nna nwunye ya gwara ya. O mekwara ihe niile o
kwuru. 25 O sitere n’etiti ụmụ Izrel họpụta ndị kwesiri ekwesi mee ka ha bụrụ ndịisi.
Ụfọdụ ka o mere ndịisi na-elekọta imerime puku mmadụ, ụfọdụ na-achị narị mmadụ,
ụfọdụ, iri mmadụ ise, ụfọdụ, mmadụ iri. 26 Ha jere ozi dịka ndị ikpe nye ndị mmadụ
n’oge niile. Ha na-ewetara Mosis okwu niile siri ike, ma ha onwe ha na-ekpe ikpe
banyere okwu nke dịkarịsịrị nta.
27 Mgbe ahụ, Mosis zilagara nna nwunye ya. Jetro laghachikwara n’obodo nke aka
ya.

## 19

*Ụmụ Izrel n’ugwu Saịnaị*

1 N’ọnwa nke atọ, site n’oge ndị Izrel hapụchara obodo Ijipt, n’ụbọchị ahụ, ha
bịaruru ọzara Saịnaị. 2 Ọ bụ site na Refidim ka ha sị bịaruo ọzara Saịnaị, mee ebe
obibi ha n’ebe ahụ, n’akụkụ ugwu Saịnaị.

* **18:21** 18:21 Ya bụ ndị na-enweghị anya ukwu

3 Mosis rigooro n'elu ugwu ahụ izute Chineke. Mgbe ahụ, Onyenwe anyị sitere n'elu
ugwu ahụ kpọ Mosis oku sị ya, "Otu a ka ị ga-esi gwa ụlọ Jekọb okwu. Ị ga-akọrọ ụmụ
Izrel: 4 'Unu onwe unu ahụla ihe m mere ndị Ijipt, hụkwa otu m siri buru unu na
nku ugo,* si otu a, dọtara unu onwe m. 5 N'ihi nke a, ọ bụrụ na unu ga-erubere m isi
nke ọma ma debe ọgbụgba ndụ m, unu ga-abụ ihe onwunwe nke m dị oke ọnụahịa.
N'ezie, ụwa niile bụ nke m, 6 ma unu ga-abụrụ m alaeze ndị nchụaja, na mba dị nsọ.'
Okwu ndị a ka ị ga-agwa ụmụ Izrel."

7 Mosis gara kpọkọta ndị okenye ndị Izrel, gwa ha okwu niile nke Onyenwe anyị
nyere ya n'iwu. 8 Ndị mmadụ niile a jikwa otu olu zaghachi ya sị, "Ihe ọbụla Onyenwe
anyị kwuru ka anyị ga-eme." Mosis gwara Onyenwe anyị ihe niile ndị Izrel kwuru.

9 Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị, "Lee, agaje m izute gị n'ime igwe ojii gbara
ọchịchịrị. Achọrọ m ka ụmụ Izrel niile were ntị ha nụrụ mgbe m ga-agwa gị okwu,
ọzọkwa, ka ha kwerekwa na gị ruo mgbe niile." Mosis gwara ndị Izrel niile okwu
nke Onyenwe anyị gwara ya.

10 Onyenwe anyị gwara Mosis okwu ọzọ sị, "Rịdakwuru ndị m, doo ha nsọ taa na
echi. N'ihi na nke a ga-abụ nkwado ha izute m. Ka ha saa uwe ha mmiri, 11 jikerekwa
n'ụbọchị nke atọ. N'ihi na m ga-arịdata n'elu ugwu Saịnaị n'ihu mmadụ niile. 12 Ị
ga-akpa oke n'ebe ha na-agaghị agafe. Nye ha iwu si ha, 'Kpacharanụ anya ka unu
ghara ịbịa ugwu ahụ nso, maọbụ metụ ala ugwu ahụ aka. N'ihi na onye ọ bụla
metụrụ ugwu ahụ aka aghaghị ịnwụ.' 13 Agaghị emetụ onye mmebi iwu ahụ aka,
kama, a ga-eji nkume tugbuo ya, maọbụ e were àkụ gbagbuo ya, maọbụ mmadụ
maọbụ anụmanụ, ọ gaghị adị ndụ. Mmadụ ọbụla agaghị abịaru ugwu ahụ nso, ruo
mgbe ha nụrụ opi nke a ga-afụ. Mgbe ahụ, ha nwere ike bịa nso ugwu ahụ."†

14 Ya mere, Mosis si n'ugwu ahụ rịdakwuru ụmụ Izrel. O doo ndị mmadụ ahụ nsọ.
Ha niile ji mmiri saa uwe ha. 15 Mosis dọrọ ha aka na ntị sị ha, "Jikerenụ n'ụbọchị
nke atọ. Nwoke na nwanyị enwekwala mmekọrịta ọbụla."

16 Mgbe o ruru n'ụtụtụ ụbọchị nke atọ ahụ, oke igwe ojii kpuchiri elu ugwu ahụ.
Amụma malitere na-egbuke, egbe eluigwe malitekwara ịgba. N'ikpeazụ, opi ike dara.
Mmadụ niile tụrụ egwu, makwa jijiji. 17 Mosis duuru ndị mmadụ ahụ niile si n'ụlọ
ikwu ha pụta gaa izute Chineke. Ha niile guzokwara n'ala ugwu ahụ. 18 Mgbe ahụ,
anwụrụ ọkụ kpuchiri ugwu Saịnaị. Ma lee! Onyenwe anyị rịdatara dịka ire ọkụ
n'elu ugwu ahụ. Anwụrụ ọkụ rigoro elu dịka anwụrụ ọkụ nke ọhịa na-ere ọkụ. Ala
ọma jijiji dị ukwuu dakwasịkwara ugwu ahụ. 19 Mgbe opi ike ahụ na-ada ike ike,
Mosis malitere ịgwa Chineke okwu. Chineke zaghachiri Mosis okwu site n'olu dara
ụda dịka egbe eluigwe.

20 Onyenwe anyị rịdatara bịaruo n'elu ugwu Saịnaị. Ọ gwara Mosis ka ọ rịgota
bịa zute ya. Mosis rigoro n'elu ugwu ahụ ijekwuru Chineke. 21 Onyenwe anyị gwara
Mosis okwu sị, "Rịda gaa dọọ ndị mmadụ ahụ aka na ntị ka ha ghara ịgafe oke ala
ahụ bịaruo nso ịhụ Onyenwe anyị anya ka ha ghara ịla n'iyi. 22 Ọ bụladị ndị nchụaja
ndị chọrọ ịbịaru Onyenwe anyị nso aghaghị ido onwe ha nsọ. Ma ọ bụghị otu a,
Onyenwe anyị ga-eme ka ha niile nwụọ."

23 Mosis zaghachiri Onyenwe anyị sị, "Ndị mmadụ agaghị arịgota n'ugwu Saịnaị
n'ihi na gị onwe gị adọọla anyị aka na ntị sị, 'Kpaanụ oke gburugburu ugwu a, doo
ya nsọ.' "

24 Ma Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị: "Gbada gaa kpọgota Erọn ka gị na ya
soro rigota n'elu ugwu a. Ma lezie anya ka ndị nchụaja na ndị Izrel ghara irigota
n'ebe a ịbịakwute Onyenwe anyị, ma ọ bụghị otu a, ọ ga-eji ike laa ha n'iyi."

* **19:4** 19:4 Ọ bụ na nku ka nne ugo na-ebu ụmụ ya ma ọ na-erugharị n'elu Dit 32:11. † **19:13** 19:13 Erọn na ụmụ ya ndị ikom abụọ, na iri ndị okenye Izrel asaa ahụ nwere ike irigoro ugwu ahụ. Ọpụ 24:1,9-10.

25 Ya mere, Mosis rịdakwuru ndị Izrel ga gwa ha.

# 20

### *Iwu Iri*

1 Chineke kwuru okwu ndị a niile sị:

2 "Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu, onye kpọpụtara unu site
n'Ijipt, bụ ala nke ibu ohu.

3 "Ị gaghị enwe chi ọzọ tinyere m.
4 Gị emerela onwe gị arụsị a pịrị apị, n'oyiyi nke ụdị ọbụla nke yiri ihe dị n'eluigwe
maọbụ nke yiri ihe dị n'ụwa, n'okpuru ya maọbụ n'ime mmiri, n'okpuru ụwa.
5 Gị akpọla isiala nye ha, efekwala ha ofufe, n'ihi na Mụ onwe m bụ ONYENWE
ANYỊ Chineke gị, abụ m Chineke ekworo. Onye na-ata ụmụ na ụmụ ụmụ ahụhụ,
n'ihi ajọ omume nke ndị mụrụ ha, ọ bụladị ruo n'ọgbọ nke atọ na nke anọ, nke
ndị ahụ kpọrọ m asị. 6 Ma na egosi ịhụnanya nye puku ọgbọ niile nke ndị hụrụ
m n'anya, bụ ndị na-edebe ihe niile m nyere n'iwu.
7 Gị ejikwala aha ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị eme ihe efu, n'ihi na ONYENWE ANYỊ
agaghị agụ onye ji aha ya eme ihe efu dịka onye ikpe na-amaghị.
8 Cheta ụbọchị izuike site n'ido ya nsọ. 9 N'ime ụbọchị isii ka ị ga-eje ozi gị niile. Ọ
bụkwa n'ime ha ka ị ga-arụzu ọrụ gị niile. 10 Ma ụbọchị nke asaa bụ ụbọchị izuike
nke ONYENWE ANYỊ Chineke gị. Ị gaghị arụ ọrụ ọbụla n'ụbọchị ahụ, gị onwe gị,
nwa gị nwoke na nwa gị nwanyị, onye ọrụ gị nwoke, onye ọrụ gị nwanyị, maọbụ
anụ ụlọ gị ọbụla, ọbụladị onye ọbịa bi n'obodo gị. 11 N'ihi na ọ bụ n'ime ụbọchị
isii ka ONYENWE ANYỊ kere eluigwe na ụwa, na oke osimiri, na ihe niile dị n'ime
ha. O zuru ike n'ụbọchị nke asaa. N'ihi nke a ONYENWE ANYỊ gọziri ụbọchị nke
asaa doo ya nsọ, ka ọ bụrụ ụbọchị izuike.
12 Sọpụrụ nne gị na nna gị, dịka ONYENWE ANYỊ Chineke gị nyere gị n'iwu, ka ụbọchị
ndụ gị dị ogologo n'ala ahụ nke ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị.
13 Gị egbula mmadụ.
14 Gị akwala iko.
15 Gị ezula ohi.
16 Agbala ama ụgha megide onye agbataobi gị.
17 Gị enwela anya ukwu n'ebe ụlọ onye agbataobi gị dị. Gị enwekwala anya ukwu
n'ebe nwunye onye agbataobi gị dị, maọbụ ohu ya nwoke maọbụ ohu ya nwanyị,
ehi ya maọbụ ịnyịnya ibu ya, ma ọ bụkwanụ n'ihe ọbụla nke onye agbataobi gị
nwere dị."

18 Mgbe ndị Izrel hụrụ egbe eluigwe, na amụma ọkụ, na opi ike, hụkwa ugwu ahụ
ka o jupụtakwara n'anwụrụ ọkụ, ha mara jijiji n'ihi egwu. Ha guzoro n'ebe dị anya,
19 sị Mosis, "Biko ka gị onwe gị gwa anyị okwu, anyị ga-anụ ma ka Chineke gharakwa
ịgwa anyị okwu, ma ọ bụghị ya, anyị ga-anwụ."
20 Mosis sịrị ndị Izrel, "Unu atụkwala ụjọ, n'ihi na Chineke bịara ịnwale unu ime
ka unu na-atụ ya egwu mgbe ọbụla ka unu ghara imehie megide ya."
21 N'ihi nke a, mmadụ niile guzoro n'ebe dị anya site n'ugwu ahụ. Ma Mosis bara
n'ime igwe ojii ahụ, ebe Chineke n'onwe ya nọ.

### *Iwu megidere ikpere arụsị*

22 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, "Gwa ụmụ Izrel okwu sị, 'Unu onwe unu
ahụla na m si n'eluigwe gwa unu okwu. 23 Unu emerela onwe unu chi ọzọ tinyere
m, chi ọlaọcha maọbụ chi ọlaedo. Unu emerela onwe unu ha.

24 " 'Ebe ịchụ aja unu ga-ewuru m ga-abụ nke unu ji naanị aja wuo. N'ebe ahụ ka
unu ga-achụrụ m aja nsure ọkụ na aja udo. Unu ga-ejikwa igwe ewu na atụrụ, na ehi
chụọrọ m aja. Unu ga-ewuru m ebe ịchụ aja naanị ebe ọbụla m mere ka aha m bụrụ
ihe a na-asọpụrụ, n'ebe ahụ ka m ga-abịa gọzie unu. 25 Ọ bụrụ na unu ewuo ebe
ịchụ aja nkume, unu ejikwala nkume a wara awa, n'ihi na unu ga-eme ka ọ ghara
ịdị nsọ ma ọ bụrụ na unu ejiri ngwa ọrụ wagharịa nkume ya. 26 Unu ejila ihe nrigo
gbagoro n'ebe ịchụ aja m, ka a ghara ikpughe ọtọ unu n'elu ya.'

# 21

*Iwu ndị ọzọ dị iche iche*

1 "Ndị a bụ iwu ị ga-edebe n'ihu ha.

*Ndị ohu bụ ndị Hibru*

2 "Ọ bụrụ na ị goro ohu onye Hibru, ọ ga-agbara gị odibo afọ isii. Ma n'afọ nke
asaa, ọ ga-abụ onye nwere onwe ya laakwa n'akwụghị ụgwọ ọbụla. 3 Ọ bụrụ na
sọọsọ ya bịara, sọọsọ ya ga-ala, ma ọ bụrụ na o nwere nwunye tupu ọ bụrụ ohu,
ya na nwunye ya ga-eso ala. 4 Ọ bụrụ na nna ya ukwu kpọnyere ya nwunye onye
mụtaara ya ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom, nwanyị ahụ na ụmụ ya ga-abụ nke
nna ya ukwu, naanị nwoke ahụ ga-enwere onwe ya.
5 "Ma ọ bụrụ na ohu ahụ asị, n'ezie, 'Ahụrụ m onyenwe m na nwunye m na ụmụ
m n'anya, achọghị m inwere onwe,' 6 mgbe ahụ, onyenwe ya ga-eduru ya bịakwute
Chineke. Mgbe ọ kpọbatasịrị ya n'ọnụ ụzọ, onyenwe ya ga-eji agịga dupuo ntị ya.*
Malite n'oge ahụ, ọ ga-abụkwa ohu ya ruo ọgwụgwụ ndụ ya.
7 "A sị na nwoke eree nwa ya nwanyị dịka ohu, agaghị ala otu ndị ohu nwoke
si ala. 8 Ọ bụrụ na ihe nwanyị ahụ amasịkwaghị onyenwe ya, onye họọrọ ya nye
onwe ya, onyenwe ya ga-ekwere ka a gbapụta ya. Ma ọ gaghị eresi ya ndị ọbịa.
N'ihi na onyenwe ya emeela nwanyị ahụ ihe ọjọọ mgbe ọ jụrụ na ọ gaghị alụkwa ya
ọzọ. 9 Ọ bụrụ na ọ chọrọ ka nwa ya nwoke lụọ ya dịka nwunye ya, ọ ga-emeso ya
dịka omenaala si kwado e si emeso ndị bụ nwaada. 10 Ọ bụrụkwa na ọ lụta ya dịka
nwunye nke aka ya, mesịakwa lụta nwunye ọzọ, ọ gaghị akwụsị inye ya uwe maọbụ
ihe oriri. Ọ gaghị agọnarịkwa ya ihe ọbụla kwesiri ya dịka nwunye. 11 Ọ bụrụ na o
mereghị ohu nwanyị a ihe ndị a, nwanyị a pụrụ ịhapụ ya gaara onwe ya na-akwụghị
ụgwọ ọbụla. Mgbe ahụ, ọ ga-enwerekwa onwe ya.

*Ihe ike na mmerụ ahụ*

12 "Ọzọkwa, ọ bụrụ na mmadụ etigbuo mmadụ ibe ya, aghaghị ime ka onye dị
otu a nwụọ. 13 Ma ọ bụrụ na o mere ya na-amaghị ama, ọ bụrụkwa na Chineke
kwagidere omume dị otu a, mgbe ahụ, a ga-ahọpụtara ya ebe ọ ga-agbaga, jee zere
ndụ. 14 Ọ bụrụkwa na onye ọbụla akpachara anya jiri aghụghọ gbuo mmadụ ibe ya,
a ga-adọpụta ya, ọ bụladị site n'ebe ịchụ aja m, gbuo ya.
15 "Ọ bụrụ na onye ọbụla etie nna ya maọbụ nne ya ihe, a ghaghị ime ka onye dị
otu a nwụọ.
16 "Onye ọbụla tọọrọ mmadụ ibe ya, ma o rere ya n'ahịa, maọbụ na a chọpụtara
ya n'aka ya, a ga-eme ka onye dị otu a nwụọ.
17 "Aghaghị ime ka onye ọbụla ga-akpọ nna ya maọbụ nne ya iyi nwụọ.
18 "Ọ bụrụ na mmadụ abụọ aluọ ọgụ ma otu n'ime ha ewere nkume maọbụ osisi
tie onye nke ọzọ. Ọ bụrụ na ọ nwụghị, kama na o merụrụ ahụ, dinaakwa n'ihe ndina
ya, 19 ọ bụrụ na onye ahụ ebilie were mkpara ya na-ejegharị, ikpe agaghị ama onye

* 21:6 21:6 Otu omenaala ndị ala Siria na mba niile bi ha gburugburu na-eme, bụ iji agịga dupuo mmadụ ntị. Mgbe a dụpuru mmadụ ntị, o na-egosipụta na onye dị otu a bụ ohu onye ọzọ.

ahụ tiri ya ihe, kama ọ ga-akwụ ụgwọ ihe onye ahụ ji gwọọ onwe ya, na oge onye
ahụ o tiri ihe ji nọọ n’ihe ndina, ruo mgbe ahụ ya ga-adị mma.
20 “Ọ bụrụ na ohu ọbụla anwụọ site n’ihe otiti nke onyenwe ya tiri ya, ma ohu
ahụ ọ bụ nwoke maọbụ nwanyị, a ga-adọ onyenwe ya aka na ntị site n’inye ya
ntaramahụhụ. 21 Otu ọ dị, ọ bụrụ na ohu ahụ dị ndụ n’ụbọchị mbụ, maọbụ n’ụbọchị
nke abụọ, a gaghị enye onyenwe ya ntaramahụhụ n’ihi na ohu ahụ bụ akụ ya.
22 “Ọ bụrụ na mmadụ abụọ esite n’ịlụ ọgụ ha merụọ nwanyị dị ime ahụ, mee ka ime
ahụ pụọ, ma nwanyị ahụ emerụghị nnukwu ahụ, di nwanyị ahụ ga-anara site n’aka
onye ahụ merụrụ nwunye ya ahụ ihe niile ọbụla o kwuru na a ga-akwụ ya, bụkwa
nke ndị na-ekpe ikpe kpebiri. 23 Ma ọ bụrụ na nwanyị ahụ a nwụọ n’ihi mmerụ ahụ
ahụ e merụrụ ya, a ga-eme ka nwoke ahụ merụrụ ya ahụ nwụọ. 24 Ọ bụrụ na ọ bụ
anya ka a kụkpọrọ, anya n’ọnọdụ anya. Ọ bụrụkwa otu eze ka e tipụrụ, eze n’ọnọdụ
eze. Otu ahụ kwa, aka n’ọnọdụ aka, ụkwụ n’ọnọdụ ụkwụ. 25 Ịda ọkụ n’ọnọdụ ịda
ọkụ, ọnya mma, n’ọnọdụ ọnya mma, ihe otiti n’ọnọdụ ihe otiti.
26 “Ọ bụrụ na mmadụ ọbụla esite n’ihe otiti o tiri ohu ya kụkpọọ ya anya, a ga-eme
ka ohu ahụ nwere onwe ya, maọbụ ohu nwoke maọbụ ohu nwanyị, n’ihi na o jirila
anya ya gbara onwe ya. 27 Ọ bụrụ na mmadụ ọbụla etipụ eze ohu ya nwoke maọbụ
ohu ya nwanyị, a ga-eme ka ohu ahụ nwere onwe ya n’ihi eze ya nke e tipụrụ.
28 “Ọ bụrụ na ehi ejiri mpi ya sọda mmadụ si otu a mee ka onye ahụ nwụọ, a
ga-atụgbu ehi ahụ na nkume. Mmadụ ọbụla agaghị erikwa anụ ehi ahụ. Ma a ga-
agụ onyenwe ehi ahụ dịka onye ikpe na-amaghị. 29 Ọ bụrụ na ehi ahụ na-asọkarị
ndị mmadụ mpi mgbe niile, agaghị eri anụ ya. Kama, ọ bụrụ na adọọla onyenwe
ya aka na ntị banyere ehi ahụ ọtụtụ oge, ma o meghị ihe ọbụla banyere ya, a ga-
eme ka ehi ahụ na onyenwe ya nwụọ. 30 Ma ọ bụrụ na ndị nwe mmadụ achọọ ka
a kwụọ ha ụgwọ kama igbu onyenwe ehi ahụ, ndị ikpe ga-ekpebi ego ole onyenwe
ehi ga-akwụ ha. 31 Otu a ka a ga-esikwa kpee ikpe nke ga-apụta ma ọ bụrụ na ehi
asọda nwokorobịa maọbụ nwaagbọghọ ọbụla. 32 Kama ọ bụrụ na ehi asọda ohu
nwoke maọbụ ohu nwanyị, onyenwe ehi ahụ ga-akwụ onyenwe ohu ahụ iri mkpụrụ
ọlaọcha atọ.† Emesịa, a ga-eji nkume tugbuo ehi ahụ.
33 “Ọ bụrụ onye ọbụla meghere olulu maọbụ gwuo olulu, ghara imechi ya, nke mere
na ehi mmadụ maọbụ ịnyịnya ibu adaba n’ime ya, 34 onye ahụ gwuru olulu ahụ ga-
akwụ onyenwe anụ ụlọ ahụ ọnụọgụgụ ego o jiri zụta ya. Mgbe ahụ ọ ga-eburu ozu
anụ ahụ nwụrụ anwụ.
35 “Ọ bụrụ na oke ehi mmadụ emerụọ oke ehi onye ọzọ ahụ, emesịa ehi dị otu a
anwụọ, a ga-ere ehi nke dị ndụ, kewaa ego ya ụzọ abụọ. Otu a kwa, a ga-ekewa ehi
nke nwụrụ anwụ, nye mmadụ abụọ ahụ otu ụzọ otu ụzọ. 36 Ọ bụrụ na amaara na
oke ehi ahụ na-asọ mpi mgbe niile n’oge gara aga, ma onyenwe ya emeghị ihe ọbụla
banyere ya, ọ ga-akwụzu ụgwọ ehi ahụ nwụrụ anwụ. Emesịa ehi ahụ nwụrụ anwụ
ga-abụrụ nke ya.

# 22

*Nchekwa akụ na nkwụghachi*

1 “Ọ bụrụ na mmadụ ezuru ehi maọbụ atụrụ gbuo ya, maọbụ ree ya, ọ ga-
akwụghachi ehi ise n’ọnọdụ ehi ahụ. N’ọnọdụ otu atụrụ o zuuru, ọ ga-akwụghachi
atụrụ anọ.
2 “Ọ bụrụ na e jide onye ohi mgbe ọ na-egbuka ụlọ onye ọzọ, ọ bụrụkwa na e tigbuo
ya, mee ka ọ nwụọ, iwu ejideghị onye ahụ gburu ya. 3 Kama ọ bụrụ na e tigburu onye
ahụ mgbe chi bọcharala, ọmụma ikpe ga-adịrị onye ahụ tigburu ya.

† **21:32** 21:32 Iri mkpụrụ ọlaọcha atọ bụ ọnụahịa a na-ere maọbụ jiri zụta ohu. Zek 11:12,13; Mat 26:13; 27:3,9

"Ọ bụrụ na e jide onye ohi, a ga-eme ka ọ kwụghachi ihe o zuru n'ohi. Ọ bụrụ na
o nweghị ike kwụghachi, a ga-ere ya dịka ohu, jiri ego e retara kwụọ ụgwọ o ji. 4 Ọ
bụrụ na a chọta ihe o zuru n'aka ya, maọbụ ehi, maọbụ ịnyịnya ibu, maọbụ atụrụ,
ọ ga-akwụghachi ọnụahịa ya okpukpu abụọ.
5 "Ọ bụrụ na mmadụ akpachara anya hapụ anụ ụlọ ya ka ọ gaa taa nri n'ubi maọbụ
n'ubi vaịnị, maọbụ n'ubi onye ọzọ, onyenwe anụ ụlọ ahụ ga-akwụ ụgwọ ihe niile anụ
ụlọ ya mebiri, ma ihe ọ ga-eji kwụọ ụgwọ ahụ aghaghị ịbụ ihe ọrụ ubi dị mma nke o
si n'ubi ya maọbụ n'ubi vaịnị ya wepụta.
6 "Ọ bụrụ na ọkụ na-agba banye n'ogwu, repịa ogbo ọka dị n'ubi mmadụ
maọbụ ọka guzoro eguzo, ma ọ bụkwanụ ọhịa niile, onye ahụ tinyere ọkụ ahụ ga-
akwụghachi ụgwọ ihe ahụ niile nke ọkụ repịara.*
7 "Ọ bụrụ na mmadụ enye enyi ya maọbụ onye agbataobi ya ego, maọbụ ihe ọbụla
ka o debere ya, ma onye ohi agaa zuru ya site n'ụlọ ya, a si na e jide onye ohi dị otu a,
ọ ga-akwụghachi ụgwọ ihe o zuru okpukpu abụọ. 8 Ọ bụrụ na a chọpụtaghị onye ohi
ahụ, onye nwe ụlọ ahụ aghaghị ịbịa n'ihu Chineke, ka a chọpụta maọbụ ya n'onwe
ya setịpụrụ aka were ihe ahụ, bụ akụ nke onye ọzọ kpatara. 9 Ọ bụrụ na onye ehi ya,
maọbụ ịnyịnya ibu ya, maọbụ atụrụ ya, maọbụ uwe, maọbụ ihe ọbụla furu efu, nke
mmadụ na-asị, 'Nke a bụ ya.' Mmadụ abụọ ndị a ga-aga n'ihu ndị ikpe.† Onye ọbụla
ndị ikpe a mara ikpe‡ ga-akwụghachi ibe ya ụgwọ okpukpu abụọ.
10 "Ọ bụrụ na anụ ụlọ mmadụ nyere onye agbataobi ya n'aka idebe anwụọ, maọbụ
merụọ ahụ, maọbụ gbafuo, ma anụ ụlọ ahụ ọ bụ ịnyịnya ibu, maọbụ ehi, maọbụ
atụrụ, maọbụ anụ ụlọ ọzọ, ọ bụrụ na ọ dịghị onye hụrụ mgbe ihe ndị a dakwasịrị
anụ ụlọ ahụ, 11 mgbe ahụ, onye agbataobi ahụ e nyere anụ ndị a n'aka idebe ga-aṅụ
iyi n'ihu Onyenwe anyị. Iyi ahụ ọ ṅụrụ ga-egosi onyenwe anụ ụlọ ahụ na o zughị ya
n'ohi. N'ihi nke a, ọ gaghị akwụghachi ụgwọ ọbụla. 12 Ma ọ bụrụ na o zuru anụ ụlọ
ahụ n'ohi site na nke agbataobi ya, ọ ghaghị ịkwụghachi ụgwọ niile nye onyenwe ya.
13 Ọ bụrụ na anụ ọhịa gburu ya, ọ ga-eweta ụfọdụ n'ime anụ ahụ a dọgburu adọgbu,
iji gosi na anụ ọhịa dọgburu ya.§ Ọ ga-esikwa otu a gbanarị ikpe ọmụma. N'ihi nke
a, ọ gaghị akwụkwa ụgwọ ọbụla n'ihi anụ ụlọ ahụ.
14 "Ọ bụrụ na mmadụ agbaziri anụ ụlọ site n'aka onye agbataobi ya, ọ bụrụ na anụ
ụlọ ahụ anwụọ, maọbụ merụọ ahụ mgbe onyenwe ya na-anọghị n'ebe ahụ, onye
ahụ a gbazinyere anụ ụlọ ahụ ga-akwụ ụgwọ ya. 15 Ọ bụrụ na anụ ụlọ ahụ nọ na
nke onyenwe ya, onye gbaziri ya agaghị akwụ ụgwọ ọbụla. Ọ bụrụ na a kwụrụ ego
mgbazi ọbụla n'isi anụmanụ a, onye gbaziri ya agaghị akwụghachi ego ọbụla, n'ihi
na ego mgbazi ọ kwuru ka a ga-ewere dịka ụgwọ.

### *Ibi ndụ dị ka o kwesiri*

16 "Ọ bụrụ na nwoke arafuo nwaagbọghọ na-amaghị nwoke,* site n'ime ka ha abụọ
dinaa, nwoke ahụ ga-akwụ ụgwọ isi nwaagbọghọ ahụ. Ọ ga-alụkwa ya dịka nwunye
ya. 17 Ọ bụrụ na nna nwaagbọghọ ahụ ekwenyeghị ka nwoke ahụ lụọ ya, nwoke ahụ
aghaghị ịkwụ ụgwọ isi nwaagbọghọ ahụ.
18 "E kwesighị ịhapụ nwanyị mgbaasị ndụ.
19 "Onye ọbụla ya na anụ ọbụla dinakọrọ, e kwesiri ime ka ọ nwụọ.
20 "Onye ọbụla chụrụ aja nye chi ọzọ ma ọ bụghị naanị Onyenwe anyị, a ga-eme
ka ọ nwụọ.
21 "Ọ kwesighị ka mmadụ ọbụla mesie onye ọbịa ihe ike n'ụzọ ọbụla. Unu aghaghị
icheta na unu bụ ndị ọbịa n'ala Ijipt.

---

* **22:6** 22:6 Ọ bụ osisi ogwu ogwu puru n'ọhịa ka a na-eji agba ubi ogige maọbụ gbachie ụzọ. † **22:9** 22:9 Maọbụ, Chineke ‡ **22:9** 22:9 Bụ ndị nnọchite anya Chineke § **22:13** 22:13 Jen 31:39 * **22:16** 22:16 Dit 22:28-29

22 “Unu emegbula nwanyị ọbụla di ya nwụrụ, maọbụ onye ọbụla na-enweghị nne
na nna. 23 Unu megbuo ha, mee ka ha tikuo m, aga m anụ mkpu akwa ha, nyere ha
aka. 24 Mgbe ahụ, iwe m dị oke ọkụ ga-eripịa unu. Aga m ejikwa mma agha tigbuo
unu. Ndị nwunye unu ga-aghọkwa ndị inyom na-enweghị di, ụmụ unu ga-abụkwa
ndị na-enweghị nna.
25 “Ọ bụrụ na ị gbazinyere onye Hibru ego, onye bụ nwa mgbei, ị gaghị anara ya
ọmụrụnwa. 26 Ọ bụrụ na ị nara ya uwe ya n’ihi ego ahụ ị gbazinyere ya, ekwela ka
uwe ahụ nọgide n’aka gị ruo mgbe anwụ dara. 27 N’ihi na uwe ahụ nwere ike bụrụ
naanị ihe o nwere, maọbụ uwe ọ ga-eji rahụ ụra. Ọ bụrụ na i zighachighị ya, o tikuo
m site n’ịkwa akwa, aga m anụrụ mkpu akwa ya, n’ihi na abụ m onye obi ebere.
28 “Ekwulula aha Chineke, abụkwala onye na-achị ndị gị ọnụ.
29 “Atụfukwala oge ọbụla n’ịkwụghachi onyinye unu kwesiri inye. Maọbụ nke
mkpụrụ ala ubi gị, na nke mmanya vaịnị gị, na ụgwọ i kwesiri ịkwụ.
“Ị ghaghị inye m nwa gị nwoke e buru ụzọ mụọ. 30 Otu a ka ị ga-emekwa banyere
mkpụrụ mbụ nke ehi gị na atụrụ gị. Ị ga-ewebata ya nye m n’ụbọchị nke asatọ site
n’oge a mụrụ ha, mgbe ị hapụsịrị ha nne ha ụbọchị asaa.
31 “Unu ga na-abụrụ m ndị dị nsọ. N’ihi nke a, wezuganụ onwe unu n’ebe anụ a
dọgburu adọgbu dị. Unu erikwala anụ dị otu a, kama tụpụrụnụ ya nkịta.

# 23

*Ikpe ziri ezi na inwe obi ebere*

1 “Ị gaghị agbasa akụkọ ụgha ọbụla. Esokwala mmadụ ọjọọ nwekọọ ihe ọbụla site
n’ịgba ama ị maara na ọ bụghị eziokwu.
2 “Ị gaghị eso igwe mmadụ mee ihe ọjọọ. Mgbe ị na-agba akaebe n’ụlọikpe, ị gaghị
esonye igwe mmadụ ndị na-atụgharị ikpe ziri ezi. 3 N’ebe nwa ogbenye nọ, ị gaghị
ekpelara ya n’oge ikpe n’ihi na ọ bụ nwa ogbenye.
4 “Ọ bụrụ na ị hụ ehi, maọbụ ịnyịnya ibu nke kpafuru akpafu, ọ bụrụkwa na ọ bụ
nke onye iro gị, duru ya dulatara onye iro gị ahụ. 5 Ọ bụrụ na ị hụ onye kpọrọ gị asị
ka ọ na-agbalị iwelite ịnyịnya ibu ya nke dara n’ihi ibu dị arọ o bu, elefula ya anya,
kama gaa nyere ya aka bulite ịnyịnya ahụ.
6 “Ewezugala ikpe ziri ezi n’ebe ndị ogbenye nọ, n’ihi ọnọdụ ogbenye ha. 7 Ebola
mmadụ ibe gị ebubo ụgha. Esonyekwala gbuo onye aka ya dị ọcha, maọbụ onye
na-eme ihe ziri ezi. N’ihi na mụ onwe m agaghị ahapụ onye na-emebi iwu na-ataghị
ya ahụhụ kwesiri ya.
8 “Erikwala ngarị, n’ihi na iri ngarị na-eme ka ndị na-ahụ ụzọ kpuo ìsì, meekwa
ka okwu onye aka ya dị ọcha gbagọọ agbagọ.
9 “Abụkwala onye na-emegbu ndị ọbịa, n’ihi na ị maara ihe banyere ọnọdụ ndị
ọbịa nke ọma. Gị onwe gị bụrịị ọbịa n’Ijipt.

*Iwu maka Ụbọchị nke asaa na afọ nke asaa*

10 “Afọ isi ka ị ga-agha mkpụrụ n’ala ubi gị, ghọọkwa ihe omume ya. 11 Ma n’afọ
nke asaa, arụla ọrụ ọbụla n’ala ahụ ọzọ, hapụ ka ala ahụ zuru ike. Mgbe ahụ ndị
ogbenye n’etiti unu ga-aga n’ebe ahụ weta ihe oriri. Mkpụrụ ndị ọzọ fọdụrụ ga-adịrị
ụmụ anụ ọhịa dị iche iche. Iwu ndị a ga-adịrị ubi vaịnị na ubi oliv unu niile.
12 “Ị ga-arụ ọrụ gị niile n’ime ụbọchị isii. Ị ga-ezukwa ike n’ụbọchị nke asaa. Izuike
a ga-adịkwara ehi gị na ịnyịnya ibu gị, na ndị ohu gị nọ n’ezinaụlọ gị na ndị ọbịa
niile bi n’etiti unu.
13 “Kpachapụnụ anya hụ na unu mezuru ihe niile ndị a m gwara unu. Unu
akpọkwala chi ndị ọzọ aha. Unu ekwupụtakwala ihe banyere ha n’ọnụ unu.

*Mmemme atọ a na-eme kwa afọ*

14 “Ugboro atọ n’afọ ka unu ga-emere m mmemme a.
15 “Meenụ Mmemme Achịcha na-ekoghị eko, ụbọchị asaa ka unu ga-eri achịcha
nke e jighị ihe na-eko achịcha mee. Unu ga-eri ya na mgbe a kara aka, n’ọnwa Abib.
N’ihi na ọ bụ n’ọnwa ahụ ka unu si n’ala Ijipt pụta.
“Ọ dịghị onye ọbụla ga-agba aka efu bịa n’ihu m.
16 “Mee Mmemme Owuwe Ihe ubi,* bụ nke ị ga-eji mkpụrụ mbụ nke ihe niile ị kụrụ
n’ubi unu.
“Meekwanụ Mmemme Nchịkọta Ihe, n’ọgwụgwụ afọ ọbụla.† Mgbe unu si n’ubi
na-achịbata mkpụrụ ubi unu niile.
17 “Ugbo atọ n’afọ ka ndị ikom niile ga-abịa chee onwe ha n’ihu Onye kachasị ihe
niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ.
18 “Unu etinyekwala ihe ọbụla nke nwere ihe na-eko achịcha n’ime ya, mgbe unu
na-achụ ọbara nke aja n’ihu m.
“Maọbụ hapụ abụba nke aja mmemme m ka ọ dịgide ruo ụtụtụ.‡
19 “Wetanụ mkpụrụ mbụ niile nke ala ubi unu, bụ ndị kachasị mma, n’ụlọ ONYENWE
ANYỊ bụ Chineke unu.
“Unu esikwala nwa ewu n’ime mmiri ara nne ya.§

### *Nkwa onye ga-edu ha*

20 “Lee, ana m eziga mmụọ ozi n’ihu unu, ichebe unu n’ije unu nakwa ịkpọbatakwa
unu n’ebe ahụ M doziri nye unu. 21 Geenụ ya ntị, nụrụkwa olu ya. Unu enupukwarala
ya isi, n’ihi na ọ gaghị agbaghara njehie unu niile, n’ihi na Aha m dị n’ime ya. 22 Ọ
bụrụ na unu elezie anya nke ọma, gee ya ntị, mee ihe niile m nyere unu n’iwu, mgbe
ahụ, mụ onwe m ga-abụkwara ndị iro unu onye iro, megidekwa ndị na-emegide unu.
23 Mmụọ ozi m ga-ejekwa n’ihu unu, ịkpọbatakwa unu n’ala ndị Amọrait, na ndị Het,
na ndị Periz, na ndị Kenan, na ndị Hiv, na ndị Jebus. Aga m ehichapụ obodo ndị a
niile. 24 Unu agaghị akpọ isiala nye chi ha niile. Unu efekwala ha, maọbụ gbasoro
omenaala ha. Kama, kwatuonụ ha. Tipịasịakwanụ ebe nkume nsọ* niile nke chi ha.
25 Ma unu ga-efe ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu. Mgbe ahụ, ngọzị ya ga-adịkwasị
nri unu na mmiri ọṅụṅụ unu. Aga m ewezugakwa ọrịa n’etiti unu. 26 Nwanyị aga na
nwanyị ime ya na-apụ agaghị adị n’ala unu. Aga m emekwa ka unu nwee ogologo
ndụ.
27 “Aga m ezipu oke ụjọ m ka ọ nọrọ unu n’ihu tinye ọgbaaghara n’ime mba niile
unu ga-ezute. Aga m eme ka ndị iro unu tụgharịa gbaa ọsọ. 28 Ọzọkwa, aga m eziga
ebu ka ọ chụpụ ndị Hiv na ndị Kenan na ndị Het site n’ụzọ unu. 29 Ma agaghị m
achụpụ ha n’otu afọ, n’ihi na nke a ga-eme ka ala ahụ niile tọgbọrọ n’efu, ụmụ anụ
ọhịa a baa ụba karịa unu. 30 Ma aga m achụpụ ha nwantịntị nwantịntị, tutu ruo oge
unu ga-adị ọtụtụ, mgbe ọnụọgụgụ unu ga-akarị nke ha ukwuu, mgbe unu ga-ejupụta
ala ahụ niile.
31 “Aga m etinye oke ala unu site n’Osimiri Uhie ruo n’osimiri Mediterenịa, sitekwa
n’ọzara ruo n’osimiri Yufretis. Aga m enyefe ndị niile bi n’ala ahụ n’aka unu. Unu
ga-achụpụkwa ha. 32 Unu na ha agbala ndụ ọbụla. Unu na chi ha enwekwala mmekọ
ọbụla. 33 Unu ekwela ka ha biri n’ala unu, ma ọ bụghị ya, ha ga-eme ka unu mehie
megide m, n’ihi n’ife chi ha dị iche iche aghaghị ịbụrụ unu ihe ịma n’ọnya.”

---

* **23:16** 23:16 Aha ọzọ a na-akpọ mmemme owuwe ihe ubi bụ mmemme Izu, gụọ ya n’akwụkwọ Ọpụ 34:22, n’ihi na ọ bụ izu asaa, mgbe Mmemme Ngabiga gafesịrị ka a na-eme ya. Ọ bụkwa n’ọgwụgwụ owuwe ihe ubi.
† **23:16** 23:16 Mmemme nchịkọta mkpụrụ bụ ihe na-egosi na e wechaala ihe ubi. Dit 16:13 ‡ **23:18** 23:18 Ya bụ chi ọbụbọ § **23:19** 23:19 Otu n’ime omenaala dị n’usoro ofufe ndị Kenan bụ isi nwa ewu n’ime mmiri ara nne ya. Dit 14:21 * **23:24** 23:24 Ebe a manyere ogidi, ka e ji amata ebe bụ ebe ịchụ aja ha.

# 24

*Mmesi ike nke ọgbụgba ndụ ahụ*

1 Ọ gwara Mosis sị, “Rigokwute ONYENWE ANYỊ, gị na Erọn, na Nadab, na Abihu,
na mmadụ iri asaa site na ndị okenye Izrel. Ma unu ga-efe ofufe site n’ebe dị anya.
2 Emesịa, ọ bụ naanị Mosis ga-abịarute ONYENWE ANYỊ nso. Ndị nke ọzọ agaghị abịaru
nso. Ndị mmadụ ndị ọzọ agaghịkwa eso ya rigota.”
3 Mgbe ahụ, Mosis bịara gwa ndị Izrel okwu niile na iwu niile ONYENWE ANYỊ nyere.
Ha niile zaghachiri ya n’otu olu sị, “Anyị ga-emezu ihe niile ONYENWE ANYỊ kwuru.”
4 Mosis deturu ihe niile ONYENWE ANYỊ kwuru.
N’isi ụtụtụ echi ya, o biliri wuo ebe ịchụ aja na ndịda ugwu ahụ. O gwunyere ogidi
nkume iri na abụọ nke nọchiri anya ebo iri na abụọ ụmụ Izrel. 5 Mosis zipụtara ụmụ
okorobịa Izrel, ndị chụrụ aja nsure ọkụ ma werekwa ụmụ oke ehi chụọ aja udo nye
ONYENWE ANYỊ. 6 Mosis tinyere ọkara ọbara ehi ndị ahụ n’ime efere. Ma o fesara
ọkara ọbara nke fọdụrụ n’elu ebe ịchụ aja ahụ. 7 Emesịa, Mosis guzoro n’ebe ahụ
gụpụta na ntị mmadụ niile, ihe dị n’Akwụkwọ Ọgbụgba ndụ ahụ. Mgbe ụmụ Izrel
nụrụ ya, ha weere otu olu kwuo sị, “Anyị anụla, anyị ga-eme ihe niile ONYENWE ANYỊ
kwuru. Anyị ga-erube isi.”
8 Mgbe ahụ, Mosis weere ọbara ahụ dị n’ime efere, fesaa ya n’ahụ ndị ahụ niile, sị,
“Nke a bụ ọbara ọgbụgba ndụ ahụ nke dị n’etiti unu na ONYENWE ANYỊ, dịka okwu
niile ndị a si dị.”
9 Mosis rigoro n’elu ugwu, ya na Erọn, na Nadab na Abihu, na mmadụ iri asaa site
na ndị okenye Izrel. 10 Ha hụrụ Chineke nke Izrel. N’okpuru ụkwụ ya abụọ, e were
ihe dịka ebe nzọkwasị ụkwụ nke e ji nkume safaia mee. Nkume ndị a na-enwukwa
ezi onwunwu dịka mbara eluigwe. 11 Ọ bụ ezie na ndị okenye Izrel hụrụ Chineke
anya ma ọ laghị ha n’iyi. Kama o mere ka ha nọọ n’ihu ya rie, ṅụọ.
12 Mgbe nke a gasịrị, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, “Rigota, bịakwute m
n’elu ugwu, nọdụkwa ebe ahụ, maka na aga m enye gị mbadamba nkume nke iwu
na ụkpụrụ dị na ya, nke m ji aka m dee maka i ji kuziere ha.”
13 Mosis biliri, ya na Joshua onye na-agara ya ozi. Mosis n’onwe ya rigokwara n’elu
ugwu Chineke. 14 Ọ gwara ndị okenye Izrel okwu sị, “Cherenụ anyị n’ebe a tutu
ruo mgbe anyị ga-alaghachikwute unu. Unu na Erọn na Hua nọ, onye ọbụla nwere
nsogbu jekwuru ha.”
15 Ngwangwa, Mosis rigoro n’elu ugwu ahụ, oke igwe ojii kpuchiri ugwu ahụ niile,
16 ebube ONYENWE ANYỊ kpuchikwara elu ugwu ahụ. Ọ bụ ụbọchị isii ka igwe ojii
kpuchiri ugwu ahụ. N’ụbọchị nke asaa, ONYENWE ANYỊ sitere n’etiti igwe ojii ahụ
kpọọ Mosis oku. 17 Ma n’ebe ndị Izrel nọ, ebube ONYENWE ANYỊ na-enwu dịka ọkụ
na-achọ irechapụ ugwu ahụ. 18 Mosis banyere n’ime igwe ojii ahụ mgbe ọ na-arịgo
ugwu ahụ. Ọ nọgidere n’elu ugwu ahụ iri ụbọchị anọ, ehihie na abalị.

# 25

*Onyinye maka owuwu ụlọ nzute*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 2 “Gwa ụmụ Izrel ka ha wetara m onyinye. Ị ga-
anabatara m onyinye ahụ site n’aka nwoke ọbụla onye o metụrụ n’obi inye onyinye
a.

3 “Ndị a bụ Onyinye ị ga-anata n’aka ha:

“ọlaọcha, ọlaedo na bronz.
4 Ogho na-acha anụnụ anụnụ, nke odo odo, nke uhie uhie, nke ezi akwa ọcha,
na nke ajị ewu;

5 akpụkpọ anụ ebule e sijiri uhie uhie, akpụkpọ ehi mmiri,
na osisi akashia;
6 mmanụ oliv nke a ga-etinye n'iheọkụ,
ụda isi ụtọ a na-etinye na mmanụ nsọ, na ụda na-eme ka aja nsure ọkụ na-esi isi ụtọ;
7 nkume ọma ọniks, na nkume ndị ọzọ a na-ahịọnye n'efọọd,* na nke a na-ahịọnyekwa n'ihe mgbochi obi.

8 "Mee ka ha wuoro m ebe nsọ. Mụ onwe m ga-ebikwa n'etiti ha. 9 Wuo ụlọ nzute
a na ihe ịchọ ya mma niile, ka ọ bụrụ otu ihe dịka oyiyi m ga-egosi gị.

*Igbe ọgbụgba ndụ*

10 "Ha ga-eji osisi akashia wuo igbe ọgbụgba ndụ nke ịdị ogologo ya ga-abụ otu
mita na sentimita iri. Obosara ya bụ sentimita iri isii na asatọ. Ịla elu ya ga-abụkwa
sentimita iri isii na asatọ. 11 Machie ọlaedo a nụchara anụcha n'ime na azụ ya
niile, jiri ọlaedo kpụọ ihe gburugburu akụkụ ya niile. 12 Kpụọ mgbaaka ọlaedo anọ
maka ya, kwụnye ha n'ụkwụ anọ ya, ya bụ mgbaaka abụọ n'otu akụkụ, mgbaaka
abụọ n'akụkụ nke ọzọ ya 13 Jirikwa osisi akashia mee mkpara ogologo. Emesịa, were
ọlaedo machie mkpara ndị a. 14 Ị ga-etinye mkpara ndị ahụ n'ime mgbaaka ahụ dị
n'akụkụ igbe ahụ, ka ọ bụrụ ihe iji na-ebu ya. 15 N'ihi nke a, mkpara ọlaedo ndị ahụ
ga-adịgide n'ime mgbaaka ọlaedo igbe a oge niile. 16 Ya mere, mgbe a rụsịrị igbe
ọgbụgba ndụ ahụ, tinye Ihe Ama ahụ m nyere gị n'ime ya.
17 "Ị ga-ejikwa ọlaedo a nụchara anụcha mee ihe mkpuchi igbe ọgbụgba ndụ ahụ.
Ogologo ya ga-adị nzọ ụkwụ anọ. Obosara ya ga-abụ nzọ ụkwụ abụọ na ọkara. 18 Ị ga-
eji ọlaedo a nụchara anụcha, nke e tipịara etipịa kpụọ cherubim abụọ na nsọtụ abụọ
nke ebe mkpuchi ahụ. 19 Rụọ otu cherub n'otu nsọtụ, otu cherub na nsọtụ nke ọzọ;
mee ka cherubim ndị a na okwuchi igbe ahụ bụrụ otu na nsọtụ abụọ ahụ. 20 Cherubim
ndị a ga-agbasa nku ha laa elu, were ha na-ekpuchi okwuchi ahụ. Cherubim ndị ahụ
ga-eche onwe ha ihu, na-ele anya n'ebe okwuchi ahụ dị. 21 Tụkwasị ihe mkpuchi
ahụ n'elu igbe ọgbụgba ndụ ahụ. Tinyekwa Ihe Ama ahụ m nyere gị n'ime igbe ahụ.
22 N'ebe ahụ, n'etiti cherubim abụọ ndị ahụ dị n'elu ihe mkpuchi igbe ọgbụgba ndụ,
ka m ga-ezute gị, nye gị iwu niile ị ga-enye ndị Izrel.

*Tebul na achịcha dị nsọ.*

23 "Jiri osisi akashia mee tebul nke ogologo ya ga-adị iri sentimita itoolu. Obosara
ya ga-abụ iri sentimita anọ na ise. Ịla elu ya ga-abụ iri sentimita isii na asaa. 24 Ị
ga-eji ọlaedo a nụchara anụcha machie ya nke ọma, jirikwa ọlaedo kpụọ ọnụ ọnụ
ya gburugburu. 25 Ị ga-etinye ihe njikọta a kpụrụ akpụ gburugburu ọnụ ọnụ ya,
nke ga-aha ka otu ọbụ aka† dimkpa. A ga-eji mpempe ọlaedo techie ihe njikọta ahụ
gburugburu. 26 Kpụọ mgbaaka ọlaedo anọ maka tebul ahụ, kwụnye ha n'akụkụ anọ
ahụ nke ụkwụ anọ ya. 27 Mgbaaka ndị ahụ ga-adị nso nso, ihe njikọ ahụ ka ha jide
mkpara ndị ahụ, i ji ebu tebul ahụ. 28 Jiri osisi akashia mee mkpara a ga-eji na-ebu
tebul ahụ. Jiri ọlaedo techie ha. 29 Ọzọkwa, jiri ọlaedo a nụchara anụcha kpụọ
efere dị iche iche, na iko dị iche iche, na ọkwa dị iche iche, nke e ji awụpụ onyinye.
30 Dọkwasị achịcha nke iche n'Ihu n'elu tebul ahụ, n'ihu m, oge niile.

*Ihe ịdọba oriọna*

31 "Jiri ọlaedo a nụchara anụcha kpụọ ihe ịdọkwasị oriọna. Kpụọ ụkwụ ala ala
ya, na alaka ya, mee ka iko ya niile yiri okoko osisi, na isi ya niile, na ifuru ya niile
bụrụ otu ya na ahụ ya. 32 Alaka isii ga-esite n'akụkụ abụọ nke ihe ịdọkwasị oriọna

* **25:7** 25:7 Efọọd bụ uwe dị nso nke onyeisi nchụaja na-eyi. Ọpụ 28:4,6-14 † **25:25** 25:25 Ihe dịka inchi atọ

ahụ wapụta, alaka atọ n’otu akụkụ ya, alaka atọ n’akụkụ nke ọzọ. 33 Iko atọ e mere
dịka okoko osisi alụmọnd ya na ifuru, ya na okoko ya niile ga-adị n’otu alaka, iko
atọ n’alaka nke ọzọ, otu a ka ọ ga-adị n’alaka isii niile ahụ na-awapụta site n’ihe
ịdọkwasị oriọna ahụ. 34 N’elu ihe ịdọba oriọna ahụ, ọ ga-adị iko anọ dịka ifuru osisi
alụmọnd, ya na ebe o si awapụta na okoko ya. 35 Otu isi ga-adịkwa n’okpuru alaka
abụọ si n’etiti ihe ịdọba oriọna ahụ pụta. Isi nke abụọ ga-adị n’okpuru alaka abụọ
nke ọzọ. Isi nke atọ ga-adị n’okpuru alaka nke atọ, ya bụ ha niile alaka isii. 36 Isi
nwapụta ya na alaka ya niile ga-adịkọtakwa ọnụ, ha na ihe ịdọkwasị oriọna ahụ,
nke e ji ọlaedo a nụchara anụcha rụọ.
37 “Ị ga-eme oriọna asaa, dọba ha n’elu ihe ịdọkwasị iheọkụ ahụ, ka ha na-enye
ìhè naanị n’ebe ihu ya. 38 Mkpa ya na ihe ịkpakepụ ọkụ ya niile, ga-abụ ọlaedo a
nụchara anụcha. 39 Ọlaedo a nụchara anụcha nke dị iri kilogram atọ na anọ ka a
ga-eji kpụọ ihe ịdọkwasị oriọna ahụ na ngwongwo ndị a niile. 40 Lezie anya hụ na i
mere ihe ndị a niile n’usoro ihe atụ nke e gosiri gị n’elu ugwu.

# 26

*Ụlọ nzute*

1 “Rụọ ụlọ nzute nke ga-enwe akwa mgbochi iri, nke e ji ezi ogho na-acha anụnụ
anụnụ, na ngwakọta anụnụ na uhie, na uhie uhie kpaa akwa ndị a. Onye ọrụ aka
na-eme ǹka kpanyekwara oyiyi cherubim n’ime ha. 2 Akwa mgbochi ndị a ga-aha
n’otu. O nweghị nke ga-aka ibe ya. Ogologo akwa mgbochi ọbụla ga-abụ mita iri na
abụọ na ọkara. Obosara ya bụ otu mita na sentimita asatọ. 3 Dụkọtaa akwa mgbochi
ise n’otu, dụkọtaakwa ise nke ọzọ n’otu. 4 Jiri akwa na-acha anụnụ anụnụ dụnye
anya nko n’elu ọnụ akwa mgbochi nke otu ụzọ, otu a ka ị ga-emekwa na nsọtụ ọnụ
akwa mgbochi nke ọzọ. 5 Dụnye iri anya nko ise n’otu akwa mgbochi, dụnyekwa iri
anya nko ise n’ọnụ akwa mgbochi nke ọzọ. Mee ka anya nko ndị a chee ibe ha ihu.
6 Ị ga-emekwa iri nko ọlaedo ise, nke ị ga-eji jikọta akwa mgbochi abụọ ahụ n’otu, si
otu a mee ka ụlọ nzute ahụ bụrụ otu.
7 “Ị ga-eji akpụkpọ ajị ewu mee akwa mgbochi maka i ji kpuchie elu ụlọ nzute ahụ.
Iri na otu ka ha ga-adị n’ọnụọgụgụ. 8 Akwa mgbochi iri na otu ndị a ga-aha n’otu. Ọ
ga-abụ mita iri na atọ na ọkara n’ogologo. Ebe obosara ya bụ otu mita na iri sentimita
asatọ. 9 Dụkọtaa ise n’ime akwa mgbochi ahụ. Debe ya iche. Dụkọtakwa isii nke
fọdụrụ debekwa ya iche. Pịajie akwa mgbochi nke isii ụzọ abụọ n’ihu ụlọ nzute ahụ.
10 Dụnyekwa iri anya nko ise n’elu ọnụ otu akwa mgbochi ndị ahụ. Meekwa otu
ihe ahụ n’ọnụ akwa mgbochi nke ọzọ e debere iche. 11 Meekwa iri nko bronz ise,
mee ka nko ahụ baa n’anya nko nke ọzọ, i ji jikọta ụlọ nzute ahụ ka ọ bụrụ otu.
12 Ma banyere ogologo akwa mgbochi nke fọdụrụ maka ụlọ nzute, ya bụ ọkara akwa
mgbochi nke mapụtara, nke a ga-akwụba n’azụ ụlọ nzute ahụ. 13 Akwa mgbochi
ahụ ga-eji ihe ruru ọkara mita n’ogologo karịa n’akụkụ abụọ. Ụma ndị a mapụtara
ga-akwụdata n’akụkụ abụọ nke ụlọ nzute ahụ ikpuchi ya. 14 Ị ga-eji akpụkpọ ebule e
sijiri uhie uhie mee ihe mkpuchi maka ụlọ nzute ahụ, ya na akwa mkpuchi ọzọ nke
e ji akpụkpọ ehi mmiri mee maka ikpukwasị n’elu ya.
15 “Ị ga-emere ụlọ nzute ahụ mbudo ibo osisi akashia, guzo ọtọ. 16 Mbudo ibo ọbụla
ga-adị mita anọ na ọkara n’ogologo, dịrịkwa iri sentimita asaa n’obosara. 17 Mbudo
ibo ndị a ga-enwe ihe nhịọnye abụọ nke ga-abanye n’ime ibe ya ijikọ ha n’otu. Ị ga-
arụ mbudo ibo ụlọ nzute ahụ niile otu a. 18 Ị ga-arụ mbudo ibo iri abụọ maka akụkụ
ndịda nke ụlọ nzute ahụ. 19 Meekwa iri ụkwụ ọlaọcha anọ n’okpuru ha. Otu mbudo
ibo ga-enwe ụkwụ abụọ, otu ụkwụ n’okpuru otu ihe nhịọnye, otu ụkwụ n’okpuru
ihe nhịọnye nke ọzọ. 20 N’akụkụ nke ọzọ, bụ akụkụ ugwu nke ụlọ nzute ahụ, ị ga-
arụkwa iri mbudo ibo abụọ. 21 Rụkwaa iri ụkwụ ọlaọcha anọ, ụkwụ abụọ n’okpuru

mbudo ibo ọbụla. 22 N’ebe isi isi nsọtụ, ya bụ akụkụ ọdịda anyanwụ nke ụlọ nzute,
ị ga-arụ mbudo ibo isii. 23 Rụọ mbudo ibo abụọ, ga-adị na nkuku niile nke nsọtụ ụlọ
nzute ahụ. 24 N’isi nkuku abụọ ndị a, ha ga-anọ iche iche site n’okpuru ruo n’elu ya,
ma a ga-ejikọ ha ọnụ n’ime otu mgbaaka, ha abụọ ga-adị otu ahụ. 25 Ha niile ga-adị
mbudo ibo asatọ na ụkwụ ọlaọcha dị iri na isii, ya bụ ụkwụ abụọ n’okpuru mbudo
ibo ọbụla.
26 “Jiri osisi akashia mee osisi ntụbichi, ise maka mbudo ibo ndị dị n’otu akụkụ nke
ụlọ nzute, 27 ise nke ọzọ maka ndị dị n’akụkụ nke ọzọ, ise nke ọzọ maka mbudo ibo
dị n’akụkụ ọdịda anyanwụ, n’ebe ndịda ndịda nke ụlọ nzute ahụ. 28 Osisi ntụbichi
nke dị n’etiti ga-esite n’otu isi ruo n’isi nke ọzọ nke mbudo ibo ahụ. 29 Jiri ọlaedo
machie mbudo ibo ndị ahụ niile, kpụọ mgbaaka ọlaedo ka ọ bụrụ ọnọdụ ịchịkọta
osisi ntụbichi ndị a. Jirikwa ọlaedo machie osisi ntụbichi ndị a.
30 “Guzobe ụlọ nzute a n’usoro dịka ụdịdị ihe ahụ m ziri gị n’elu ugwu si dị.
31 “Meekwa akwa mgbochi nke e ji ogho na-acha anụnụ anụnụ, ngwakọta anụnụ
na uhie, uhie uhie na ezi akwa ọcha a kpara nke ọma, onye ǹka kpanyekwara oyiyi
cherubim n’ime ya. 32 Were anya nko ọlaedo kwụba ya n’elu ogidi osisi akashia anọ
nke e ji ọlaedo machie, mee ka o guzoro n’elu ụkwụ ọlaọcha anọ. 33 Konye akwa
mgbochi ahụ na nko ndị ahụ, ma dọnye igbe ihe ama ahụ n’azụ akwa mgbochi ahụ.
Akwa mgbochi ahụ ga-ekewapụ Ebe Nsọ ahụ site n’Ebe Kachasị Nsọ.* 34 Tinye ihe
mkpuchi mmehie ahụ n’elu igbe ihe ama n’ime Ebe Kachasị Nsọ. 35 Dọnye tebul ahụ
na mpụta nke akwa mgbochi ahụ, n’akụkụ ugwu nke ụlọ nzute ahụ. Dọnyekwa ihe
ịdọkwasị iheọkụ na ncherita ihu tebul ahụ, n’akụkụ ndịda.
36 “Ị ga-eme akwa mgbochi maka ọnụ ụzọ mbata nke ụlọ ikwu ahụ nke eji ogho
na-acha anụnụ anụnụ na ngwakọta anụnụ na uhie, na uhie uhie, na ezi akwa ọcha
a kpara nke ọma, nke bụ akaọrụ onye ǹka. 37 Ị ga-arụrụ akwa mgbochi a anya nko
ọlaedo na ogidi ise nke osisi akashia nke e ji ọlaedo machie. Ị ga-arụkwa ụkwụ bronz
ise maka ha.

# 27

*Ebe ịchụ aja*
1 “Ị ga-eji osisi akashia wuo ebe ịchụ aja. Ịdị elu ya ga-abụ otu mita na iri sentimita
anọ. Ogologo ya na obosara ya ga-aha n’otu, mita abụọ na iri sentimita atọ, mita
abụọ na iri sentimita atọ. 2 Rụnye mpi n’akụkụ anọ nke ebe ịchụ aja ahụ n’otu n’otu.
Mee ka mpi ndị a na ebe ịchụ aja ahụ bụrụ ihe e jikọtara n’otu. Jiri bronz machie
ebe ịchụ aja a. 3 Jiri bronz kpụọ ngwongwo niile dị iche iche, ya bụ efere ikpofu
ntụ, shọvel ya niile, efere ịkwọsa mmiri niile, ngaji eze ịdụta anụ na efere ndị e ji
agụ ọkụ. 4 Ị ga-eme ngịga mbadamba, ihe ọkpụkpa bronz, meekwa mgbaaka bronz
nke ga-adị n’akụkụ anọ nke ngịga ahụ. 5 Tinye ya n’okpuru oghere dị n’ebe ịchụ aja
ahụ. Tinye ya ka ọ dịrị n’etiti ebe ịchụ aja ahụ. 6 Jiri osisi akashia mee mkpara osisi
maka ebe ịchụ aja ahụ, were bronz machie ha. 7 A ga-eme ka mkpara ahụ baa n’ime
mgbaaka ndị ahụ, ka ha dị n’akụkụ abụọ nke ebe ịchụ aja ahụ mgbe ọbụla a na-ebu
ya. 8 Jiri obodobo osisi rụọ ebe ịchụ aja ahụ, ka o nwee oghere n’ime, dịka igbe. Ị
ga-arụ ya dịka e gosiri gị n’elu ugwu ahụ.

*Ogige ụlọ nzute*
9 “Ị ga-arụkwa ogige maka ụlọ nzute ahụ. N’akụkụ ndịda ya ga-adị iri mita anọ na
ise n’ogologo. Ọ ga-enwekwa akwa mgbochi nke e ji ezi akwa ọcha a kpara nke ọma
mee. 10 Iri ogidi abụọ ga-adị na iri ebe ndọkwasị abụọ nke e ji bronz kpụọ. Anya

* **26:33** 26:33 Ọ bụ naanị onyeisi nchụaja na-aba n’ime ebe ahụ a na-akpọ Ebe Kachasị Nsọ. Ọ bụ naanị otu ụbọchị n’afọ, nke bụ ụbọchị ikpuchi mmehie ndị Izrel, ka ọ na-aba n’ebe ahụ.

nko ogidi ndị ahụ ha na ihe ikegide ha ga-abụ ọlaọcha. 11 Otu a kwa, akụkụ ugwu
ga-adịkwa iri mita anọ na ise. Ọ ga-enwe akwa mgbochi, nwekwa iri ogidi abụọ na
iri ebe ndọkwasị abụọ nke e ji bronz kpụọ, ya na anya nko nke ọlaọcha na ihe e ji
ekegide ha n'ogidi ahụ.
12 "Akụkụ ọdịda anyanwụ nke ogige ahụ ga-adị iri mita abụọ na atọ n'obosara. Ọ ga-
enwe akwa mgbochi, na ogidi iri na ebe ndọkwasị iri. 13 N'akụkụ ọwụwa anyanwụ,
ebe anwụ na-awalite, akwa mgbochi ahụ ga-adịkwa iri mita abụọ na atọ n'obosara.
14 Akwa mgbochi nke ogologo ya dị mita isii na sentimita iri asatọ ga-adị n'otu akụkụ
nke ọnụ ụzọ mbata ahụ. O nwere ogidi atọ na ebe ndọkwasị atọ. 15 Otu a kwa, akwa
mgbochi nke ịdị ogologo ya dị mita asaa ga-adị n'akụkụ nke ọzọ. Ọ ga-enwekwa ogidi
atọ na ebe ndọkwasị atọ.
16 "Banyere ọnụ ụzọ mbata nke ogige ahụ, mee akwa mgbochi ga-adị mita itoolu
nke e ji ogho na-acha anụnụ anụnụ, ngwakọta anụnụ na uhie, uhie uhie na ezi akwa
ọcha a kpara nke ọma, akaọrụ nke onye na-akpa ihe ịchọ mma. Ọ ga-enwe ogidi
anọ na ihe ndọkwasị anọ. 17 Ogidi niile dị gburugburu ogige ahụ ga-enwe ihe njikọta
ọlaọcha na nko, tinyere ebe ndọkwasị bronz. 18 Ogologo ogige ahụ ga-abụ iri mita
anọ na ise. Ebe obosara ya ga-adị iri mita abụọ na atọ. Ọ ga-enwe akwa mgbochi
nke ịdị elu ya dị iri mita abụọ na atọ, nke e ji ezi akwa ọcha a kpara nke ọma mee,
nwekwa ebe ndọkwasị bronz. 19 Ngwongwo niile nke e ji eje ozi n'ụlọ nzute ahụ, ihe
ọbụla bụ ọrụ ha, tinyere ǹtu ya niile na nke ogige ahụ, ga-abụ ihe e ji bronz rụọ.

### *Mmanụ ịmụ ọkụ*

20 "Nye ndị Izrel niile iwu ka ha wetara gị mmanụ oliv asụrụ asụ nke a na-agwaghị
ihe maka itinye n'iheọkụ ime ka ọkụ oriọna na-enwu mgbe niile. 21 N'ime ụlọ nzute
ahụ, na mpụta nke akwa mgbochi nke kpuchiri igbe Ihe Ama ahụ, Erọn na ụmụ
ya ndị ikom ga-eme ka oriọna ndị ahụ dị n'ihu Onyenwe anyị, na-enwu ọkụ, site
n'uhuruchi ruo n'ụtụtụ. Nke a bụ ụkpụrụ ga-adịgide n'etiti ndị Izrel nye ọgbọ niile
dị n'ihu.

## 28

### *Uwe ndị nchụaja*

1 "Ugbu a, site n'etiti ụmụ Izrel kpọbata nwanne gị nwoke Erọn, ya na ụmụ ya ndị
ikom, bụ Nadab, na Abihu, na Elieza na Itama. Ka ha jeere m ozi dịka ndị nchụaja.
2 Meere Erọn nwanne gị nwoke uwe nsọ, nke ga-enye ya ugwu na nsọpụrụ. 3 Gwa
ndị niile nwere onyinye ǹka n'ịdụ akwa, bụ ndị m nyere amamihe n'ihe ndị a, sị ha
dụọrọ Erọn uwe pụrụ iche, nke e ji edo ya nsọ, ime ya onye na-ejere m ozi dịka onye
nchụaja. 4 Nke a bụ ụdị uwe ha ga-adụ: Ihe mgbochi obi, efọọd, uwe ime ahụ akpara
akpa na-enweghị aka na uwe mwụda buru ibu, na uwe ime ahụ nke tụrụ agwa agwa
na akwa a na-atụhị n'isi na nke a na-eke n'ukwu. Ha ga-adụrụ Erọn nwanne gị nwoke
na ụmụ ya ndị ikom uwe ndị a dị nsọ. Ka ha na-ejere m ozi dịka ndị nchụaja. 5 Ka
ha jiri ogho ọlaedo, nke na-acha anụnụ anụnụ, nke ngwakọta anụnụ na uhie, nke
uhie uhie nakwa nke ezi akwa ọcha dụọ ha.

### *Efọọd*

6 "Weere ogho ọlaedo, na nke na-acha anụnụ anụnụ, na ngwakọta anụnụ na uhie,
na uhie uhie na ezi akwa ọcha a kpara nke ọma mee efọọd ahụ, nke bụ akaọrụ onye
ǹka. 7 Ọ ga-enwe akwa n'ubu ya abụọ nke e ji ejikọta ọnụ nkuku ya abụọ, ka e nwe
ike na-ekechisi ya ike. 8 Ihe okike nke ukwu ahụ nke onye ǹka kpaziri nke ọma ga-adị
ka ya. Ya na efọọd ahụ bụ otu, nke e ji ogho na-acha edo edo, nke anụnụ anụnụ, na
ngwakọta anụnụ na uhie na uhie uhie, nakwa nke ezi akwa ọcha a kpara nke ọma
mee.

9 “Were nkume ọniks abụọ, gbunye aha ụmụ ndị nwoke Izrel n’elu ya, 10 n’usoro
dịka e si mụọ ha, isii n’elu otu nkume, isii fọdụrụ na nkume nke ọzọ. 11 Gbunye aha
ụmụ ndị nwoke Izrel n’elu nkume abụọ ndị ahụ, dịka onye ǹka si egbunye akara
na nkume. Mgbe ahụ, hịọnye nkume ndị ahụ n’ime ihe ọlaedo ahụ a kpara akpa,
12 jikọta ha n’elu akwa ubu nke efọọd ahụ ka ọ bụrụ nkume ncheta mgbe ebighị ebi
nye ụmụ Izrel. Erọn ga-ebukwa aha ndị a n’elu ubu ya abụọ, dịka ihe ncheta n’ihu
ONYENWE ANYỊ. 13 Ị ga-eji ọlaedo mee ihe ịchọ mma a tụrụ atụ. 14 Jirikwa ọlaedo
a nụchara anụcha kpụọ eriri a tụhịkọtara dịka ụdọ, jikọta eriri ọlaedo ahụ na ihe
ịchọ mma ndị ahụ.

### *Ihe mgbochi obi*

15 “Ị ga-adụ ihe mgbochi obi nke ikpe, nke bụ ọrụ aka onye ǹka. Mee ya dịka efọọd
ahụ: jiri ogho edo edo, nke anụnụ anụnụ, na ngwakọta anụnụ na uhie, na nke uhie
uhie nakwa ezi akwa ọcha a kpara nke ọma mee ya. 16 Akụkụ anọ ya ga-aha n’otu,
iri sentimita abụọ na atọ n’ogologo, iri sentimita abụọ na atọ n’obosara, nke apịajiri
ụzọ abụọ. 17 Mgbe ahụ, hịọnye n’elu ya ahịrị nkume anọ ndị dị oke ọnụahịa. Ụdị
ga-adị n’ahịrị nke mbụ bụ, nkume kanelian, krisolaịt na beril, 18 n’ahịrị nke abụọ,
ga-abụ nkume tọkwọisi, safaia na emeralụdụ. 19 N’ahịrị nke atọ ga-abụ nkume jasint,
ageeti na ametisiti. 20 N’ahịrị nke anọ, ga-abụ nkume topaazi, ọniks na jaspa. Hịọnye
ha n’ime ihe ọlaedo a kpara akpa. 21 Ha niile ga-adị nkume iri na abụọ, nke ọbụla
na-anọchi anya aha ụmụ ndị ikom Izrel. Egbunyere aha ebo iri na abụọ ahụ, otu
n’otu, nke ọbụla dịka aha ya si dị.
22 “Jiri ọlaedo a nụchara anụcha mee eriri a kpara akpa dịka ụdọ, maka ihe
mgbochi obi. 23 Kpụkwaa mgbaaka ọlaedo abụọ, dụnye ha na nkuku abụọ nke ihe
mgbochi obi ahụ. 24 Dụnye ụdọ ọlaedo abụọ ndị ahụ n’elu mgbaaka ndị ahụ dị na
nkuku ihe mgbochi obi ahụ, 25 were isi ndị ọzọ nke ụdọ ahụ dụnye n’ihe ahụ a kpara
akpa, konye ha n’elu ubu efọọd ahụ, n’ebe ihu ya. 26 Ị ga-emekwa mgbaaka ọlaedo,
konye ha na nkuku abụọ nke ihe mgbochi obi ahụ, n’ime ọnụ ọnụ ya ebe dị nso efọọd
ahụ. 27 Ị ga-akpụ mgbaaka ọlaedo abụọ ọzọ, konye ha n’elu ubu abụọ nke efọọd ahụ,
n’okpuru n’ebe n’ihu ya, na nso nso ebe a dụkọtara ya, n’elu ihe okike ukwu nke
efọọd ahụ. 28 A ga-eji eriri na-acha anụnụ kekọta mgbaaka ihe mgbochi obi ahụ na
mgbaaka efọọd ahụ, jikọtaa ya na ihe okike ukwu ahụ, ime ka ihe mgbochi obi ahụ
ghara ịtọghapụ site n’efọọd ahụ.
29 “N’ụzọ dị otu a, mgbe ọbụla Erọn banyere n’Ebe Nsọ, ọ ga-ebu aha ụmụ ndị
ikom Izrel niile n’elu obi ya, n’elu ihe mgbochi obi nke ikpe ahụ, dịka ihe ncheta
n’ihu ONYENWE ANYỊ mgbe niile. 30 Ị ga-etinyekwa n’ime ihe mgbochi obi ahụ ụmụ
nkume abụọ e ji ajụta ase nke bụ Urim na Tumim.* Ha ga-adị n’elu obi Erọn mgbe
ọbụla ọ gara n’ihu ONYENWE ANYỊ. Otu a kwa, Erọn ga-ebukwa ihe e ji ajụta ase
banyere ndị Izrel n’elu obi ya mgbe niile, n’ihu ONYENWE ANYỊ.

### *Uwe ndị nchụaja ndị ọzọ*

31 “Ọ bụ akwa nke na-acha anụnụ anụnụ, ka ị ga-eji dụọ uwe mwụda efọọd ahụ.
32 Ọ ga-enwe oghere n’etiti ya ebe a ga-esi na-etinye isi. A ga-enwe ihe ọkpụkpa
gburugburu oghere a dịka nke olu uwe agha, ime ka o sie ike, ghara ịdọka. 33 N’ọnụ
ala ala uwe ahụ gburugburu, ị ga-akpanye ihe ọkpụkpa oyiyi mkpụrụ pomegranet. Ọ
bụ ogho nke na-acha anụnụ anụnụ, ngwakọta anụnụ na uhie na uhie uhie ka ị ga-eji.
Ị ga-akpanyekwa atańụ ọlaedo n’etiti ha. 34 N’ọnụ ọnụ ala uwe mwụda ahụ, a ga-
adụnye otu atańụ ọlaedo, otu oyiyi mkpụrụ pomegranet, gbaa gburugburu. 35 Mgbe
ọbụla Erọn na-eje ozi ya, ọ ghaghị iyi ya. Aga na anụ mgbịrịgba atańụ ahụ ka ọ

* **28:30** 28:30 Urim na Tumim bụ nkume e ji ajụta ase, na ntụziaka site n’ebe Chineke nọ.

na-akụ, mgbe ọ banyere n’Ebe Nsọ ahụ n’ihu Onyenwe anyị, na mgbe o si n’ebe ahụ
na-apụta, ka ọ ghara ịnwụ.
36 “Ị ga-ejikwa ọlaedo a nụchara anụcha mee efere ntakịrị, gbunye akara dị otu a
n’elu ya:

Ihe nsọ dịrị Onyenwe anyị.

37 Kenye eriri na-acha anụnụ anụnụ i ji jikọta ya na ihe ike n’isi ahụ; ọ ga-adị n’ihu
akwa ike n’isi ahụ. 38 Ọ ga-adị n’egedege ihu Erọn. Ọ ga-ebukwa ikpe ọmụma
metụtara njehie gbasara ihe nsọ niile nke ụmụ Izrel doro nsọ, na onyinye ha niile.
Ọ ga-adị n’egedege ihu Erọn mgbe niile, ka ha bụrụ ndị Onyenwe anyị ga-anabata.
39 “Jiri ezi akwa ọcha kpaa uwe ime ahụ. Werekwa ezi akwa ọcha mee akwa ike
n’isi ahụ. Ihe ike n’ukwu ahụ ga-abụ ọrụ aka onye ǹka na-akpanye ihe ịchọ mma.
40 Meekwara ụmụ ndị ikom Erọn uwe ime ahụ, ihe ike n’ukwu na akwa ike n’isi, inye
ha ugwu na nsọpụrụ. 41 Mgbe i yinyekwasịrị Erọn nwanne gị na ụmụ ya ndị ikom
uwe ndị a, tee ha mmanụ, doo ha nsọ. Chee ha n’ihu m ka ha bụrụ ndị na-ejere m
ozi dịka ndị nchụaja.
42 “Meekwara ha uwe ụkwụ nke eji akwa ọcha mee, maka ikpuchi anụ ahụ ha. Ọ
ga-esite n’ukwu ruo n’ikpere. 43 Erọn na ụmụ ya ndị ikom aghaghị iyi ha mgbe niile
ha ga-aba n’ime ụlọ nzute, maọbụ mgbe ha na-abịa nso ebe ịchụ aja ije ozi n’Ebe
Nsọ. Ka ha ghara imeta ihe ikpe ọmụma, ma nwụọ.
“Nke a ga-abụ iwu na ụkpụrụ ebighị ebi, nke ga-adịrị Erọn na ụmụ ụmụ ya.

# 29

### *Ido ndị nchụaja nsọ*

1 “Nke a ga-abụ usoro mmemme nke ị ga-eme, iji doo Erọn na ụmụ ya ndị ikom
nsọ, ka ha na-ejere m ozi dịka ndị nchụaja. Were nwa oke ehi na ebule abụọ nke
na-enweghị ntụpọ ọbụla. 2 Werekwa ọka wiiti a kwọrọ nke ọma, mee achịcha nke
na-enweghị ihe na-eko achịcha e tinyere n’ime ha, achịcha mbadamba na-ekoghị eko
nke e ji mmanụ oliv gwakọtaa, ya na achịcha mbadamba ọzọ dị nta na-ekoghị eko
nke e tere mmanụ n’ahụ ya. 3 Mgbe ahụ, ị ga-etinye achịcha ndị a niile n’ime otu
nkata, bute ha n’ime nkata ahụ, wetakwa nwa oke ehi, na ebule abụọ. 4 Kpọpụta
Erọn na ụmụ ya ndị ikom n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute, jiri mmiri saa ha ahụ. 5 Yikwasị Erọn
uwe ime ahụ, uwe mwụda nke efọọd, efọọd ahụ na ihe mgbochi obi. Were ihe okike
efọọd ahụ nke akpaziri nke ọma kegide ya efọọd ahụ n’ahụ. 6 Tụhịakwa akwa ike
n’isi ahụ n’isi ya. Tinye okpu nsọ ahụ n’elu akwa ike n’isi ahụ. 7 Werekwa mmanụ
nsọ ahụ, tee ya, site n’ịwụkwasị ya n’isi ya. 8 Kpọta ụmụ ya ndị ikom, yikwasị ha
uwe ime ahụ. 9 Kekwasịkwa ha ihe okike n’isi. Keekwa Erọn na ụmụ ya ndị ikom
ihe ike n’ukwu. Mgbe ahụ ọrụ ndị nchụaja ga-abụ nke ha site n’ụkpụrụ ebighị ebi.
“N’ụzọ dị otu a ka ị ga-esi doo Erọn na ụmụ ya ndị ikom nsọ.
10 “Kpụta oke ehi ahụ n’ihu ụlọ nzute. Erọn na ụmụ ndị ikom ga-ebikwasị aka
ha n’elu isi ya. 11 Gbuo ya n’ihu Onyenwe anyị n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ. 12 Jiri
mkpịsịaka gị rụta ụfọdụ n’ime ọbara oke ehi ahụ tee ya na mpi dị n’ebe ịchụ aja
ahụ. Wụpụ ọbara fọdụrụ n’ụkwụ ala ala ebe ịchụ aja. 13 Were abụba niile kpuchiri
ihe ime ya, mba-umeju nke dị n’umeju ya, akụrụ ya abụọ ya na abụba dị n’elu ha,
kpọọ ha ọkụ n’elu ebe ịchụ aja. 14 Ma anụ oke ehi ahụ, akpụkpọ ya na mgbịrị afọ ya,
ka ị ga-akpọ ọkụ n’azụ ọmụma ụlọ ikwu ahụ. Ọ bụ aja mmehie.
15 “Were otu n’ime ebule ndị ahụ, ka Erọn na ụmụ ya ndị ikom bikwasị aka ha
n’elu isi ya. 16 Gbuo ya. Werekwa ọbara ya fesaa n’akụkụ ya niile nke ebe ịchụ aja.
17 Bọwasịa ebule ahụ ntakịrị ntakịrị, sachaa eriri afọ ya na ihe dị ya n’ime, ha na
ụkwụ ya niile, tinyekọ ha na isi ya na akụkụ anụ ndị ọzọ. 18 Kpọọ ebule ahụ niile ọkụ

n’elu ebe ịchụ aja. Ọ bụ aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ, nke isisi ya dị ezi mma.
Aja a chụrụ nye ONYENWE ANYỊ site n’ọkụ.

19 “Were ebule nke ọzọ, ka Erọn na ụmụ ya ndị ikom ga-ebikwasị aka ha n’elu isi
ya. 20 Gbuo ya. Were ụfọdụ n’ime ọbara ya tee Erọn na ụmụ ya n’ọnụ ntị aka nri
ha, na isi mkpụrụ aka nke aka nri ha, ya na isi mkpụrụ ụkwụ nke ụkwụ aka nri ha.
Werekwa ọbara nke fọdụrụ fesaa n’akụkụ ya niile nke ebe ịchụ aja ahụ. 21 Ị ga-esite
n’elu ebe ịchụ aja were ụfọdụ ọbara, ya na ụfọdụ mmanụ nsọ, fesa ya n’ahụ Erọn
na n’elu uwe ya, n’ahụ ụmụ ya ndị ikom, nakwa n’elu uwe ha niile. Mgbe ahụ, ya
na ụmụ ya ndị ikom ga-abụ ndị e doro nsọ nye ONYENWE ANYỊ, ha na uwe ha.

22 “Were abụba ebule ahụ, na akụkụ ọdụdụ ya nwere abụba, na abụba nke kpuchiri
ime ya, mba-umeju nke dị n’umeju ya, akụrụ ya abụọ na abụba gbara ha gburugburu,
na apata aka nri ya (n’ihi na ebule ahụ bụ ebule ido nsọ), 23 site na nkata achịcha ahụ
a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee, nke na-adị n’ihu ONYENWE ANYỊ. Were otu achịcha
dị gburugburu, otu ogbe achịcha a gwakọtara mmanụ oliv, na otu mbadamba ogbe
achịcha, 24 tinye ihe ndị a niile n’aka Erọn na ụmụ ya ndị ikom, mee ka ha fufee ha
n’ihu ONYENWE ANYỊ dịka aja mfufe. 25 Mgbe ahụ, nara ha site n’aka ha. Kpọọ ha
ọkụ n’elu ebe ịchụ aja ha na aja nsure ọkụ, ka ọ bụrụ ihe isisi ya dị ezi mma nye
ONYENWE ANYỊ. Onyinye nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ. 26 Mgbe i wepụtara obi ebule
ahụ e ji doo Erọn nsọ, fufee ya n’ihu ONYENWE ANYỊ dịka aja mfufe. Ọ ga-abụkwa oke
nke gị.

27 “Doo akụkụ ebule ido nsọ ahụ nsọ, ndị nke bụ oke Erọn na ụmụ ya ndị ikom, ya
bụ, obi ya e fufere efufe na apata ya e chere n’ihu ONYENWE ANYỊ. 28 Nke a ga-abụ oke
Erọn na ụmụ ụmụ ya ga-eketa dịka ụkpụrụ mgbe ebighị ebi n’aka ndị Izrel. Mgbe
niile ọbụla ha na-achụ aja udo maọbụ aja ekele, ka nke a bụrụ onyinye ụmụ Izrel
na-enye ONYENWE ANYỊ site n’aja ha.

29 “Uwe nsọ Erọn ndị a niile ka a ga-edebe n’ihi mmemme ido nsọ. A ga-eji ha na-
edo ụmụ ya nsọ bụ ndị ga-anọchi anya ya site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ. 30 Nwa ya nwoke
ọbụla nke nọchiri anya ya dịka onye nchụaja, nke bịara n’ụlọ nzute m ije ozi n’Ebe
Nsọ ga-eyi uwe ndị a ụbọchị asaa.

31 “Were anụ ebule ido nsọ ahụ, sienụ anụ ahụ n’ebe dị nsọ. 32 Erọn na ụmụ ya ndị
ikom ga-eri anụ ebule ahụ, na achịcha ndị ahụ dị n’ime nkata n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute.
33 Ha ga-eri ihe ndị aja niile ahụ nke e ji chụọ aja mkpuchi mmehie, n’oge ido nsọ
ha. Ọ dịghị onye ọbụla ọzọ ga-eso ha rie ya, n’ihi na ha bụ ihe dị nsọ. 34 Ọ bụrụ na
ụfọdụ n’ime anụ na achịcha ido nsọ ndị ahụ afọdụ ruo ụtụtụ, a ga-akpọ ha ọkụ. A
gaghị eri ya ọzọ, n’ihi na ọ bụ ihe dị nsọ.

35 “Ọ bụ otu a ka a ga-esi doo Erọn na ụmụ ya ndị ikom nsọ, dịka ihe niile m nyere
gị n’iwu si dị. Ọ ga-ewe ụbọchị asaa iji doo ha nsọ. 36 Ị ga-achụ aja oke ehi dịka
aja mmehie maka ikpuchi mmehie kwa ụbọchị. Ị ga-emekwa ka ebe ịchụ aja m dị
ọcha, site n’ịchụ aja mkpuchi mmehie n’elu ya, na ite ya mmanụ n’ihi iji doo ya nsọ.
37 Ụbọchị asaa ka ị ga-edo ebe ịchụ aja nsọ site n’ịchụ aja mkpuchi mmehie. Mgbe
ahụ ebe ịchụ aja ga-abụ ebe dịkarịsịrị nsọ. Ihe ọbụla metụrụ ebe ịchụ aja ahụ ga-adị
nsọ.

38 “Ma nke a bụ ihe ị ga-achụ n’elu ebe ịchụ aja kwa ụbọchị, ị ga-eji ụmụ atụrụ abụọ
gbara otu afọ chụọ aja. 39 Chụọ otu n’oge ụtụtụ; chụọkwa nke ọzọ n’oge uhuruchi.
40 Ị ga-ewere nwa atụrụ, tinyere lita ụtụ ọka abụọ a kwọziri akwọzi nke a gwọkọtara
n’otu lita mmanụ oliv asụrụ asụ, chụọ aja. Wetakwa otu lita mmanya dịka aja ihe
ọṅụṅụ. 41 Jirikwa nwa atụrụ nke ọzọ, ya na otu ụdị aja mkpụrụ ọka na aja ihe
ọṅụṅụ ya dịka i mere n’ụtụtụ. Aja isisi ya dị ezi mma, nke e sitere n’ọkụ a na-achụ
nye ONYENWE ANYỊ.

42 “A ga na-achụ aja nsure ọkụ a oge niile n’ọgbọ niile, n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute m ka
a ga-achụ ya, n’ihu ONYENWE ANYỊ. N’ihi n’ebe ahụ ka m ga-ezute gị gwa gị okwu.
43 N’ebe ahụ kwa ka m ga-ezute ndị Izrel niile. N’ihi ya, aga m esite n’ịdị ebube m
doo ebe ahụ nsọ.
44 “E, aga m edo ụlọ nzute ahụ nsọ, ya na ebe ịchụ aja, na Erọn na ụmụ ya ndị
ikom, ka ha na-ejere m ozi dịka ndị nchụaja. 45 Mgbe ahụ, aga m ebi n’etiti ụmụ
Izrel, bụrụkwa Chineke ha. 46 Ha ga-amata na m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke ha. Onye
sitere n’ala Ijipt kpọpụta ha, ka m si otu a biri n’etiti ha. Abụ m ONYENWE ANYỊ
Chineke ha.

# 30

### *Ebe ịchụ aja ụda na-esi isi ụtọ*

1 “Jiri osisi akashia rụọ ebe ịchụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ. 2 Akụkụ anọ ya ga-
aha n’otu. Ogologo ya na obosara ya ga-adị iri sentimita anọ na ise. Ịdị elu ya ga-adị
iri sentimita itoolu. Mpi ya niile ga-esi na ya pụta. 3 Jiri ọlaedo a nụchara anụcha
machie elu ya, akụkụ ya niile nakwa mpi ya niile. Ị ga-ejikwa ọlaedo kpụlite ọnụ
ọnụ ya gburugburu. 4 Kpụnye mgbaaka ọlaedo abụọ n’okpuru ihe ahụ akpụlitere
akpụlite, abụọ na ncherita ihu akụkụ ọbụla, ebe ga na-ejide mkpara e ji ebu ya. 5 Ị
ga-eji osisi akashia mee mkpara, jiri ọlaedo machie ha. 6 Ị ga-adọba ebe ịchụ aja ahụ
n’ihu akwa mgbochi nke kpuchiri igbe iwu ọgbụgba ndụ ahụ, n’ihu oche ebere ahụ
dị n’elu igbe iwu ọgbụgba ndụ, n’ebe m ga-ezute gị.
7 “Ụtụtụ niile, mgbe Erọn doziri oriọna, ọ ga-esure ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ
n’elu ebe ịchụ aja ahụ. 8 N’anyasị kwa, mgbe ọ na-amụnye ọkụ n’oriọna ahụ, ọ
ga-esurekwa ihe nsure ọkụ. Ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nke ga-adị n’ihu ONYENWE
ANYỊ site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ. 9 Unu echekwala ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ na-adịghị
nsọ n’elu ya, maọbụ aja nsure ọkụ, maọbụ aja ihe oriri, unu awụpụla onyinye ihe
ọṅụṅụ n’elu ya. 10 Otu ugbo n’afọ Erọn ga-ekpuchi mmehie n’elu mpi ya. Mmemme
mkpuchi mmehie a nke a na-eme otu ugbo n’afọ, aghaghị ịbụ nke e ji ọbara nke si
n’aja a chụrụ n’ihi mkpuchi mmehie,* n’ihi ọgbọ niile nke na-abịa. A ga na-edo ebe
ịchụ aja nsọ otu a. Nke a bụ ebe dịkarịsịrị nsọ nye ONYENWE ANYỊ.”

### *Ụtụ n’ihi ikpuchi mmehie*

11 Mgbe nke a gasịrị, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 12 “Mgbe ọbụla a gụrụ
mmadụ ọnụ, onye Izrel ọbụla ga-akwụ ONYENWE ANYỊ ụgwọ o ji gbara mkpụrụobi
ya. Nke a dị mkpa, ka ihe otiti ọbụla ghara ịbịakwasị ha mgbe ị ga-agụ ha ọnụ. 13 Ihe
onye a gụrụ ọnụ ga-akwụ bụ ọkara shekel, dịka shekel nke ebe nsọ si dị. Ọkara shekel
bụ iri gera abụọ.† Ọkara shekel a bụ onyinye nye ONYENWE ANYỊ. 14 Ndị kwesiri inye
onyinye a bụ ndị niile gbara iri afọ abụọ gbagoo. Ọ bụ ndị a kwesiri inye ONYENWE
ANYỊ onyinye a. 15 Ndị ọgaranya agaghị enye karịa ọkara shekel. Otu a kwa ndị
ogbenye agaghị enye ihe dị ntakịrị karịa ọkara shekel. N’ihi na onyinye a bụ onyinye
unu na-enye ONYENWE ANYỊ maka ikpuchiri mkpụrụobi unu mmehie. 16 Nabata ego
niile ndị a site n’aka ụmụ Izrel, ma jiri ya jee ozi dị n’ụlọ nzute. Ihe onyinye a ga-eme
bụ ịkpọtụ uche ONYENWE ANYỊ n’ebe unu nọ n’ihi mkpuchi mmehie maka ndụ unu.”

### *Efere mmiri ọsịsa*

17 Ọzọkwa, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 18 “Jiri bronz kpụọ efere ukwu na
ihe ndọkwasị ya, maka ịsa ihe. Wụnye mmiri n’ime ya, dọsa ya n’etiti ụlọ nzute
na ebe ịchụ aja. 19 Erọn na ụmụ ya ndị ikom ga na-asa ụkwụ na aka ha site na ya.
20 Mgbe ọbụla ha na-aba n’ụlọ nzute ahụ, ha ga-eji mmiri saa onwe ka ha ghara

* **30:10** 30:10 Maọbụ, ido nsọ † **30:13** 30:13 Mat 17:24

ịnwụ. Ọzọkwa, mgbe ha na-abịaru nso n'ebe ịchụ aja, maka ije ozi iche onyinye
n'ihu ONYENWE ANYỊ site n'ọkụ, 21 ha ga-asa aka ha na ụkwụ ha, ka ha ghara ịnwụ.
Nke a ga-abụ ụkpụrụ dịrị Erọn na ụmụ ya ndị ikom site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ."

### *Mmanụ Nsọ*

22 Ọzọkwa, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 23 "Were eso osisi na-esi isi ụtọ
ndị a dị iche iche: máá, nke ọtụtụ ya ruru kilo isii, na ihe ruru kilo sinamọn abụọ
na ụma itoolu, na kilo kalamus atọ, 24 na kilo kashia isii, na lita anọ na ụma asatọ
nke mmanụ oliv,‡ dịka ọtụtụ shekel ebe nsọ ahụ si dị. 25 Ị ga-eji ya mepụta mmanụ
nsọ, nke dị nsọ, nke a gwakọtara nke ọma dịka nke onye na-eme mmanụ na-esi isi
ụtọ mere. Ọ ga-abụ mmanụ otite dị nsọ. 26 Ị ga-ewere mmanụ ahụ tee ụlọ nzute ahụ
niile na igbe iwu ọgbụgba ndụ ahụ, 27 na tebul ahụ, na ngwongwo ya niile, na n'ihe
ịdọsa oriọna, na n'ihe niile dị ya n'ahụ, na n'ebe ịdọsa ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ,
28 na n'ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ, na ngwongwo ya niile, na n'ite ịsa ụkwụ na
aka, na n'ebe a na-adọba ya. 29 Ị ga-edo ha nsọ, ka ha bụrụ ihe dịkarịrị nsọ. Ihe
ọbụla metụrụ ha ahụ ga-adịkwa nsọ.
30 "Ị ga-eji mmanụ otite a tee Erọn na ụmụ ya ndị ikom. Ha niile ga-adịkwa nsọ,
bụrụ ndị na-ejere m ozi dịka ndị nchụaja. 31 Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, 'Nke a bụ
mmanụ nsọ m, nke dị nsọ site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. 32 Agaghị awụsa ya n'ahụ mmadụ.
O nwekwaghị onye kwesiri imepụta mmanụ otite dị otu a. Ọ dị nsọ, unu kwesikwara
ido ya nsọ. 33 A ga-esite n'etiti ndị m wezuga onye ọbụla mere ụdị mmanụ isi ọma
a, maọbụ tee ya onye na-abụghị onye nchụaja m.' "

### *Ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ*

34 Mgbe ahụ ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, "Were ụda na-esi isi ụtọ, dịka
eso osisi stakit, na ọnyịcha, na galbanọm, na ezigbo frankisens a na-agwaghị ihe, nke
ọtụtụ ha niile ga-abụ otu ihe. 35 Mee ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ, nke a gwakọtara
nke ọma, bụ ọrụ onye na-eme mmanụ isi ụtọ. Tinyekwa ya nnu, ka ọ bụrụ ihe nsure
ọkụ a nụchara anụcha, nke dịkwa nsọ. 36 Gwerie ụfọdụ n'ime ya ka ọ dịka uzuzu.
Wụsa ya n'ihu igbe iwu ọgbụgba ndụ ahụ n'ime ụlọ nzute, ebe m ga-ezute gị. Ọ
ga-abụ ihe dịkarịsịrị nsọ nye unu. 37 Unu emerela onwe unu nke dịka ọtụtụ ụdị ihe
nsure ọkụ a. Hụta ya ka ihe dị nsọ n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ. 38 Onye ọbụla meere
onwe ya ụdị ihe nsure ọkụ a, ịnụ isisi ya, a ga-ekewapụ onye ahụ site n'etiti ụmụnna
ya."

# 31

### *Bezalel na Oholiab*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 2 "Lee, ahọpụtala m Bezalel nwa Uri, nwa
Hua, onye si n'ebo Juda, 3 emejupụtakwala m ya na Mmụọ nke Chineke, n'amamihe,
nghọta, ihe ọmụma na ike ije ozi ọrụ ǹka dị iche iche, 4 ichepụta ihe ǹka dị iche iche,
nke metụtara ọlaọcha na ọlaedo na bronz, 5 ịwa nkume na ido nkume, ịkwa ǹka
osisi, na ịrụ ọrụ ǹka dị iche iche. 6 Ọzọkwa, ahọpụtala m Oholiab, nwa Ahisamak,
onye si n'ebo Dan, ka ọ bụrụ onye inyeaka Bezalel.

> "Enyekwala m ndị ǹka niile amara ịrụ ọrụ dị iche, nke ga-enyere ha aka ịrụ
> ihe ndị a niile m nyere gị iwu ịrụ:

7 "ya bụ, ụlọ nzute ahụ,
na igbe iwu ọgbụgba ndụ ahụ, na ebe mkpuchi mmehie dị ya n'elu,
na ngwongwo ndị ọzọ niile dị n'ụlọ ikwu ahụ,

‡ **30:24** 30:24 Ya bụ otu Hin

8 na tebul, na ngwongwo ya,
ma ihe ịdọkwasị oriọna nke ọlaedo a nụchara anụcha,
na ngwongwo ya,
9 na ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ na-esi isi ụtọ, na ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ, na ngwongwo ya,
na ite mmiri ịsa ụkwụ na aka, na ụkwụ ite ahụ.
10 Na uwe ọma ahụ akpara akpa,
ma uwe nsọ Erọn onye nchụaja
na uwe nke ụmụ ya ndị ikom, mgbe ha na-eje ozi dịka ndị nchụaja.
11 Ya na mmanụ nsọ ahụ, na ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ e mere maka Ebe Nsọ.

"Ha ga-arụzu ihe ndị a n'usoro dịka m si nye gị ya n'iwu."

*Ụbọchị izuike*

12 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị Mosis, 13 Gwa ndị Izrel, "Unu aghaghị ido ụbọchị
izuike m nsọ. N'ihi na nke a ga-abụ ihe ịrịbama n'etiti mụ na unu ruo ọgbọ niile
ga-abịa, ka unu maara na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, onye na-edo unu nsọ.
14 " 'Ụbọchị izuike m dị nsọ nye unu. N'ihi nke a, unu ga-edebe ya nsọ. Ọ bụrụ na
onye ọbụla edebeghị ya nsọ, ọ ga-anwụ. Ọ bụrụkwa na onye ọbụla arụọ ọrụ ọbụla
n'ụbọchị izuike m, a ga-ewezuga ya site n'ebe unu nọ. 15 Ụbọchị isii ka unu ga-arụ
ọrụ unu niile. Ma ụbọchị nke asaa dị iche. Ọ bụ ụbọchị izuike. Ọ bụkwa ụbọchị
dị nsọ nye ONYENWE ANYỊ. N'ihi nke a, onye ọbụla rụrụ ọrụ ọbụla n'ụbọchị Izuike
ga-anwụ. 16 Ndị Izrel ga-edebe ụbọchị Izuike, na-eme mmemme ya n'ọgbọ niile, dịka
ọgbụgba ndụ nke ebighị ebi. 17 Ọ ga-abụ ihe ịrịbama nke ga-adịgide n'etiti mụ na
ndị Izrel ruo mgbe ebighị ebi. N'ihi na n'ụbọchị isii ka ONYENWE ANYỊ kere eluigwe
na ụwa. Ọ kwụsịrị ọrụ n'ụbọchị nke asaa, zuo ike, turu ndụ.' "
18 Mgbe ONYENWE ANYỊ gwasịrị Mosis okwu ndị a n'elu ugwu Saịnaị, o nyere ya
mbadamba nkume abụọ nke iwu ọgbụgba ndụ ahụ. Ọ bụkwa mbadamba nkume
ndị ahụ nke mkpịsịaka Chineke dere ihe n'elu ha.

# 32

*Oyiyi nwa ehi ọlaedo*

1 Mgbe ndị mmadụ ahụ hụrụ na Mosis anọọla ọdụ ịrịdata site n'elu ugwu Saịnaị,
ha zukọtara, bịakwute Erọn, sị ya, "Bilie, meere anyị chi ndị ga-edu anyị, n'ihi na
nwoke a bụ Mosis onye dupụtara anyị site n'ala Ijipt, anyị amaghị ihe mere ya."
2 Erọn zara sị ha, "Yipụtanụ ọlantị ọlaedo ndị nwunye unu, na ụmụ unu ndị ikom
na ndị inyom yi. Wetara m ha." 3 Ngwangwa, ha niile yipụrụ ọlantị ha weta ha nye
Erọn. 4 Ọ naara ya n'aka ha, were ngwa ọrụ e ji egbunye akara, kpụtara ha arụsị
nwa oke ehi. Mgbe ahụ, ha kwuru sị, "Ndị Izrel, ndị a bụ chi unu, nke sitere n'ala
Ijipt dupụta unu."
5 Mgbe Erọn hụrụ na ụmụ Izrel jupụtara n'obi aṅụrị, n'ihi ihe ahụ ọ kpụrụ, o
wuru ebe ịchụ aja n'ihu nwa ehi ahụ ọ kpụrụ, kwuo okwu sị, "Echi, a ga-enwe oke
mmemme nye ONYENWE ANYỊ!" 6 Ya mere na echi ya, ha biliri n'oge, bido ịchụ aja
nsure ọkụ, na aja udo, nye nwa ehi ahụ a kpụrụ akpụ. Mgbe nke a gasịrị, ha nọdụrụ
ala iri ihe na ịṅụ ihe ọṅụṅụ, biliekwa ọtọ gwurie egwu ime onwe ha obi ụtọ.
7 N'oge ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, "Gbada ọsịịsọ, n'ihi na ndị gị, ndị
i dupụtara site n'Ijipt emerụọla onwe ha. 8 N'otu ntabi anya a, ha ahapụla ụzọ m niile.
Ha akpụọlara onwe ha arụsị nwa oke ehi, nke ha na-efe ofufe, nke ha chụkwaara
aja nye. Ha kwukwara sị, 'Ndị Izrel, ndị a bụ chi unu, nke dupụtara unu site n'ala
Ijipt.' "

9 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị Mosis, “Ahụla m na ndị a bụ ndị isiike, na ndị na-
enupu isi. 10 Ugbu a, hapụ m ka iwe m bịakwasị ha, ka m laa ha n’iyi. Aga m eme ka
gị onwe gị bụ Mosis bụrụ mba ukwu n’ọnọdụ ha.”

11 Ma Mosis rịọrọ ONYENWE ANYỊ Chineke ya arịrịọ sị ya, “Onye kachasị ihe niile
elu, bụ ONYENWE ANYỊ gịnị mere iwe gị ji dị ọkụ otu a n’ebe ndị gị nọ bụ ndị nke i ji
ike ebube gị, na ọtụtụ ihe ịrịbama dị ịtụnanya, dupụta site n’ala Ijipt? 12 N’ihi gịnị
ka ndị Ijipt ga-ekwu sị, ‘Ọ bụghị ime ha ihe ọjọọ ka o ji dupụta ha, ka o nwee ike
gbuo ha n’ugwu ndị a, ma kpochapụkwa ha site n’elu ụwa a?’ Site n’iwe gị dị ọkụ
chigharịa, kwere ka ọ dajụọ. Chigharịakwaa site n’atụmatụ ọjọọ a n’ebe ndị gị nọ.
13 Cheta nkwa ahụ i kwere ndị ohu gị bụ Ebraham, Aịzik, na Izrel. N’ihi na i ji onwe
gị ṅụọ iyi nye ha sị, ‘Aga m eme ka mkpụrụ gị mụbaa dịka kpakpando nke eluigwe.
Aga m enye ha ala m kwere ụmụ ụmụ gị na nkwa ka ọ bụrụ ihe nketa ha ruo mgbe
ebighị ebi.’ ” 14 Ya mere, ONYENWE ANYỊ gbanwere obi ya. Ọ lakwaghị ha n’iyi.

15 Mgbe ahụ, Mosis tụgharịrị site n’ugwu ahụ rịdata, mbadamba nkume abụọ nke
iwu ọgbụgba ndụ ahụ dị ya n’aka. E dere ha ihe n’ihu abụọ, n’ihu nakwa n’azụ.
16 Mbadamba nkume ndị ahụ bụ akaọrụ Chineke, ihe e dere n’elu ha bụ ihe Chineke
n’onwe ya dekwasịrị n’elu mbadamba nkume ndị ahụ.

17 Mgbe Joshua nụrụ ụzụ si na ndịda ugwu ahụ, nke ụmụ Izrel niile na-eme, ọ
gwara Mosis okwu sị, “Ụzụ agha dị n’ọmụma ụlọ ikwu.”

18 Ma Mosis zara sị,

“Mba, nke a abụghị ụzụ ndị meriri n’agha,
maọbụ ụzụ ndị e meriri n’agha,
kama ọ bụ olu abụ ka m na-anụ.”

19 Mgbe Mosis bịaruru nso ebe ahụ ha mara ụlọ ikwu ha, hụ nwa oke ehi ahụ a
kpụrụ akpụ na egwu a na-ete, iwe were ya nke ukwuu. Ọ tụpụrụ mbadamba nkume
ndị ahụ o ji n’aka. Kụrie ha na ndịda ugwu ahụ. 20 Mosis weere nwa oke ehi ahụ ha
kpụrụ akpụ, kpọọ ya ọkụ. Mgbe ahụ, o gweriri ya dịka ntụ. Fesaa ya n’elu mmiri
mee ka ụmụ Izrel ṅụọ mmiri ahụ.

21 Ọ gwara Erọn okwu sị, “Gịnị ka ndị a mere gị i ji bute ụdị mmehie ọjọọ dị otu a
tụkwasị ha n’isi?”

22 “Erọn zara sị ya, ka iwe gị ghara ịdị ọkụ, onyenwe m. Gị onwe gị maara ndị
a, mata otu ha si bụrụ ndị ọjọọ. 23 Ha sịrị m, ‘Meere anyị chi ndị ga-edu anyị, n’ihi
na nwoke a bụ Mosis onye dupụtara anyị site n’ala Ijipt, anyị amaghị ihe mere ya.’
24 Asịrị m ha, ‘Onye ọbụla nke nwere ihe ịchọ ọma ọlaedo, ya yipu ya.’ Mgbe ahụ,
ha wetara m ọlaedo ndị a, nke m tụbara n’ime ọkụ. Ihe si na ya pụta bụ nwa ehi a
kpụrụ akpụ!”

25 Mosis hụrụ na omume ndị a jọgbuziri onwe ya na njọ n’ihi na Erọn mere ka isi
kopu ha. Nke mere ka ha bụrụzia ihe ọchị n’ebe ndị iro ha dị. 26 O guzoro n’ọnụ ụzọ
ụlọ ikwu ahụ kwuo sị, “Onye ọbụla dịnyeere ONYENWE ANYỊ ya bịakwute m.” Ndị
Livayị niile bịakwutere ya.

27 Mgbe ahụ, ọ sịrị ha, “Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke nke Izrel kwuru,
‘Nwoke ọbụla nyara mma agha ya n’akụkụ ya,* jegharịa n’etiti ọmụma ụlọ ikwu
ụmụ Izrel, site n’otu isi ruo n’isi nke ọzọ. Ya gbuo ọbụladị nwanne ya nwoke, maọbụ
enyi ya, maọbụ onye agbataobi ya.’ ” 28 Ndị Livayị mezuru ihe Mosis gwara ha. Ya
mere ndị nwụrụ n’ụbọchị ahụ dị puku mmadụ atọ. 29 Mgbe ahụ, Mosis gwara ndị
Livayị okwu sị, “Taa, unu ekewapụtala onwe unu nye ONYENWE ANYỊ. N’ihi na unu
gburu ụmụ unu ndị ikom na ụmụnne unu ndị ikom. Ugbu a, ọ gọziela unu taa.”

* **32:27** 32:27 Nwoke ọ bụla kee mma agha ya n’ukwu ya

30 N’echi ya, Mosis gwara ndị Izrel okwu sị ha, “Unu emeela mmehie dị ukwuu
megide ONYENWE ANYỊ. Ma aga m alaghachikwuru ONYENWE ANYỊ n’elu ugwu ahụ
rịọọ ya. Ma eleghị anya, aga m arịọta maka ikpuchi mmehie unu.”
31 Ya mere, Mosis jekwuuru ONYENWE ANYỊ sị ya, “Biko Onyenwe anyị, ndị a emeela
mmehie dị ukwuu megide gị, n’ihi na ha akpụọlara onwe ha chi ọlaedo. 32 Ma ugbu
a, biko, gbaghara mmehie ha. Ọ bụrụ na ị gaghị agbaghara ha, biko hichapụ aha m
site n’akwụkwọ ahụ i dere.”
33 Ma ONYENWE ANYỊ zara sị Mosis, “Onye ọbụla mehiere megide m ka a ga-ehichapụ
aha ya site n’akwụkwọ m. 34 Ma ugbu a, duru ndị a gaa ebe ahụ m gwara gị. Mmụọ
ozi m ga-edu unu n’ije a. Ma otu ọ dị, mgbe m bịara ileta ndị a, aga m ata ha ahụhụ
n’ihi mmehie ha.”
35 Ya mere, ONYENWE ANYỊ mere ka ọrịa dị egwu bịakwasị ha, n’ihi ihe ha ji nwa
ehi ahụ, bụ nke Erọn kpụrụ mee.

## 33

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, “Duru ndị a i si n’ala Ijipt kpọpụta baa n’ala
ahụ m kwere Ebraham, na Aịzik na Jekọb na nkwa, n’ihi na agwara m ha sị, ‘Aga m
enye ụmụ ụmụ unu ala a, ka ọ bụrụ ihe nketa ha.’ 2 Aga m ezipu Mmụọ ozi m ka ọ
gaa n’ihu unu chụpụrụ unu ndị Kenan, na ndị Amọrait, na ndị Het, na ndị Periz, na
ndị Hiv, na ndị Jebus. 3 Gbago n’ala mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya, ma
agaghị m eso unu n’ije unu, n’ihi na unu bụ ndị isiike. Ọ bụrụ na m esoro unu, unu
ga-anwa m ọnwụnwa, nke ga-eme ka m laa unu n’iyi n’ụzọ.”
4 Mgbe ndị mmadụ ahụ nụrụ okwu olu ike ndị a, ha malitere iru ụjụ, ọ dịghịkwa
onye ọbụla yinyere ihe ịchọ mma ya n’ahụ ha. 5 N’ihi na ONYENWE ANYỊ agwala
Mosis sị, “Gwa ụmụ Izrel, ‘Unu bụ ndị isiike. A sị na m nọ n’etiti unu, otu ntabi
anya ezuorola m ịla unu n’iyi. Ugbu a, yipụnụ ihe ịchọ mma niile unu yi n’ahụ, aga
m ekpebi ihe m ga-eme unu.’ ” 6 Ya mere, ndị Izrel yipụrụ ihe ịchọ mma ha niile.
N’ugwu Horeb ka ha nọ mgbe ihe ndị a mere.

### *Ụlọ nzute*

7 N’oge a, Mosis na-ewere ụlọ ikwu manye n’azụ ọmụma ụlọ ikwu, ọ na-akpọ ya
ụlọ nzute. Ọ na-amanye ya n’ebe dị anya site n’ebe ụmụ Izrel mara ụlọ ikwu ha.
Onye ọ bụla nke chọrọ ịjụta ONYENWE ANYỊ ase, na-apụ, gaa n’ụlọ nzute ahụ nke
dị n’azụ ọmụma ụlọ ikwu. 8 Mgbe ọbụla Mosis na-aga n’ụlọ ikwu nzute ahụ, ndị
Izrel niile na-apụta guzoro n’ọnụ ụzọ ụlọ ha, na-ele ya anya tutu Mosis abanye n’ụlọ
ikwu ahụ. 9 Mgbe ọ banyere n’ụlọ ikwu ahụ; ogidi igwe ojii ahụ na-abịa guzochie
n’ọnụ ụzọ mgbe ONYENWE ANYỊ na Mosis na-akparị ụka. 10 N’oge ọbụla, ndị mmadụ
hụrụ ogidi igwe ojii ahụ ka o guzo n’ọnụ ụzọ ụlọ ikwu nzute ahụ, ha onwe ha na-
eguzokwa, onye ọbụla, n’ọnụ ụzọ ụlọ ikwu ha, kpọọ isiala. 11 N’ime ụlọ nzute ahụ,
ONYENWE ANYỊ na-agwa Mosis okwu ihu na ihu, dịka mmadụ sị agwa enyi ya okwu.
Mgbe ha kparịchara ụka, Mosis na-alọghachi azụ n’ebe ụmụ Izrel mara ụlọ ikwu ha.
Ma nwokorobịa ahụ na-enyere ya aka, bụ Joshua, nwa Nun, na-anọgide n’ụlọ ikwu
nzute ahụ.

### *Nkwa ONYENWE ANYỊ kwere ndị ya*

12 Mgbe Mosis na ONYENWE ANYỊ nọ na-ekwurịta okwu, ihe Mosis gwara ya bụ nke
a, “Ọ dịla anya kemgbe ị na-agwa m sị m, ‘Duru ndị m baa n’ala ahụ e kwere na
nkwa inye ha.’ Ma matakwa na ị gwabeghị m onye ị ga-edunyere m ga-eduzi m ụzọ.
I kwuola na ị maara aha m, kwukwaa na achọtala m ihuọma n’ebe ị nọ. 13 Biko, ọ
bụrụ na o si otu a dị, zi m ụzọ gị, nke ga-eme ka m mata gị, gaakwa n’ihu inweta
ihuọma site n’ebe ị nọ. Chetakwa na mba a dị ukwu bụ ndị gị.”
14 Ọ zara sị, “Mụ onwe m ga-eso gị gaa, aga m enyekwa gị izuike.”

15 Mgbe ahụ Mosis sịrị ya, “Ọ bụrụ na ị gaghị eso anyị n’ije a, ekwela ka anyị si
n’ebe a zọpụ ụkwụ. 16 Ọ bụrụ na i soghị anyị, olee otu a ga-esi mata na mụ onwe m,
na ndị gị achọtala ihuọma gị? Olee otu ọ ga-esi pụta ìhè na mụ na ndị gị bụ mba dị
iche site na mba ndị ọzọ dị n’ụwa?”
17 Ma Onyenwe anyị zara Mosis sị, “E, aga m eme ihe ị rịọrọ m, n’ihi na ị chọtala
ihuọma m. N’ezie, amara m onye ị bụ, marakwa aha gị.”
18 Mgbe ahụ, Mosis rịọrọ sị, “Gosi m ebube gị.”
19 Ma Onyenwe anyị zara sị, “Aga m eme ka ị hụ ịdị mma m, aga m akọwakwara
gị ihe aha m bụ Onyenwe anyị pụtara. Onye m chọrọ imere ebere ka m ga-emere
ebere, ọ bụkwa onye m chọrọ imere ọmịiko ka m ga-enwere ọmịiko. 20 Ma ị pụghị
ịhụ ihu m n’ihi na mmadụ ọbụla enweghị ike ịhụ ihu m ma dịrịkwa ndụ.”
21 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị sịrị, “Lee, e nwere ebe dị nso n’akụkụ m, n’elu nkume,
ebe i nwere ike iguzo. 22 Mgbe ebube m ga-agafe, aga m ezo gị n’okpuru nkume,
werekwa aka m kpuchie gị, tutu ruo mgbe m gafechara. 23 Emesịa, aga m eweli aka
m, ka i nwee ike ịhụ azụ m anya, ma ị pụghị ịhụ ihu m.”

# 34

*Mbadamba nkume ọhụrụ*

1 Onyenwe anyị gwara Mosis, “Wapụta mbadamba nkume abụọ dịka nke mbụ, aga
m edekwasị n’elu ha okwu niile nke dị n’elu mbadamba nkume ndị mbụ ahụ, bụ nke
ị tụpịasịrị. 2 Jikere n’ụtụtụ, rigoro ugwu Saịnaị ka i chee onwe gị n’ihu m n’elu ugwu
ahụ. 3 Onye ọbụla esokwala gị, ma ọ bụkwanụ nọdụ nso ugwu ahụ. Ekwekwala ka
igwe ehi maọbụ igwe atụrụ kpaa nri nso nso ugwu ahụ.”
4 Mosis biliri n’isi ụtụtụ, waa mbadamba nkume abụọ dịka ndị nke mbụ, rigoro
ugwu Saịnaị dịka Onyenwe anyị gwara ya. Ọ jikwa nkume abụọ ahụ n’aka ya.
5 N’oge ahụ, Onyenwe anyị rịdatara n’ime ogidi igwe ojii, guzo n’ihu Mosis, kwupụta
aha ya bụ Onyenwe anyị. 6 O si n’ihu Mosis gafee na-ekwu na-asị, “Onyenwe anyị,
Onyenwe anyị, Chineke ọmịiko na onye amara, onye na-adịghị ewe iwe ọsịịsọ, na
onye babigara ụba oke n’ịhụnanya na ikwesi ntụkwasị obi. 7 Onye na-egosi ịhụnanya
ya nye imerime puku, ma na-agbaghara ajọ omume na nnupu isi, na mmehie. Ma ọ
dịghị ahapụ ka onye ikpe mara laa na-anataghị ahụhụ, ọ na-ata ụmụ na ụmụ ụmụ
ha ahụhụ n’ihi mmehie nna nna ha ruo n’ọgbọ nke atọ na nke anọ.”
8 Otu mgbe ahụ, Mosis hulatara kpọọ isiala, 9 sị ya, “Ọ bụrụ n’ezie na m achọtala
ihuọma n’anya gị, Onyenwe m, ka Onyenwe m, biko soro anyị gaa. Ọ bụ ezie na ndị
a bụ ndị isiike, gbaghara anyị ajọ omume anyị, na mmehie anyị niile, ka ị nabatakwa
anyị dịka ndị nke gị.”
10 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị sịrị, “Mụ onwe m na gị na-agba ndụ. N’ihu ndị gị niile,
aga m arụ oke ọrụ ịtụnanya dị ukwu, ụdị nke a na-emetụbeghị mbụ n’ụwa, maọbụ
na mba ọ bụla. Ndị niile unu bi n’etiti ha ga-ahụ ọrụ Onyenwe anyị. Ọrụ ahụ dị oke
egwu nke m ga-arụ n’ihi unu. 11 Debe ihe niile m nyere gị n’iwu taa. Aga m esite
n’ihu unu chụpụ ndị Amọrait, ndị Kenan, ndị Het, ndị Periz, ndị Hiv na ndị Jebus.
12 Kpacharanụ anya ka unu na ndị bi n’ala ahụ unu na-aba n’ime ya ghara ịgba ndụ.
Ka ha ghara ị bụ ihe ịma n’ọnya n’etiti unu. 13 Kama, tikpọọnụ ebe ịchụ aja ha niile.
Kụrienụ ogidi arụsị ha niile. Gbutukwaanụ osisi Ashera ha jiri mere chi ha. 14 Unu
efela chi ọzọ, n’ihi na Onyenwe anyị, onye aha ya bụ Ekworo, bụ Chineke na-ekwo
ekworo.
15 “Kpacharanụ anya ka unu na ndị bi n’ala ahụ ghara ịgba ndụ, n’ihi na mgbe ha
na-akwaso chi ha iko, na-achụkwa aja nye chi ha, ha ga-akpọ unu oku nri, mgbe ahụ,
unu ga-eri site n’ihe aja ha. 16 Mgbe unu lụtara ụfọdụ ndị inyom ha dịka nwunye

nye ụmụ unu ndị ikom, ndị inyom ndị a na-akwaso chi ha iko, ga-eme ka ụmụ unu
ndị ikom soro ha n'omume dị otu a.
17 "Unu akpụla chi ọbụla.
18 "Na-emenụ mmemme achịcha na-ekoghị eko. Rienụ achịcha na-ekoghị eko
ụbọchị asaa, dịka m nyere n'iwu na a ga-eme n'ụbọchị ndị ahụ a họpụtara, n'ọnwa
Abib, n'ihi na ọ bụ n'ọnwa ahụ ka unu si n'ala Ijipt pụta.
19 "Nwa nwoke ọbụla e bụ ụzọ mụọ bụ nke m, tinyere ụmụ anụ ụlọ, ma ehi, ma
atụrụ, ma ewu. 20 E nwere ike ịgbapụta nwa oke ịnyịnya ibu site n'iwere nwa atụrụ
dochie n'ọnọdụ ya. Ọ bụrụ na i kpebie na ị gaghị agbapụta ya, mgbe ahụ, ị ga-agbaji
olu ya. Ma ụmụ unu ndị ikom niile ka a ga-agbapụta.
"O nweghị onye ọbụla n'ime unu ga-abịa guzo m n'ihu na-ejighị onyinye.
21 "N'oge ịkụ ihe n'ubi na n'oge owuwe ihe ubi, rụọnụ ọrụ naanị ụbọchị isii.
Zukwanụ ike n'ụbọchị nke asaa.
22 "Mee Mmemme Izu Ụka asaa, bụ nke ị ga-eji mkpụrụ mbụ nke ọka wiiti mee,
na Mmemme Nchịkọta Ihe n'ọgwụgwụ afọ ọbụla. 23 Ugboro atọ n'afọ ka ndị ikom
unu niile ga-abịa chee onwe ha n'ihu Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
nke Izrel. 24 N'ihi na aga m esite n'ihu unu chụpụ mba dị iche iche. Meekwa ka ala
unu saa mbara. Ọ dịghị onye ọbụla ga-enwe anya ukwu n'ebe ala unu dị, mgbe unu
na-aga iche onwe unu n'ihu ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu, ugbo atọ n'afọ.
25 "Unu etinyekwala ihe ọbụla nke nwere ihe na-eko achịcha n'ime ya, mgbe unu
na-achụ ọbara nke aja nye m. Unu ahapụkwala aja sitere na Mmemme Ngabiga ka
ọ nọọ ruo ụtụtụ.
26 "Wetanụ mkpụrụ mbụ niile nke ala ubi unu, bụ ndị kachasị mma n'ụlọ ONYENWE
ANYỊ, bụ Chineke unu.
"Unu esikwala nwa ewu n'ime mmiri ara nne ya."
27 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, "Dee iwu ndị a m nyere gị, n'ihi
na dịka okwu ndị a si dị, ka ọgbụgba ndụ mụ na gị na ụmụ Izrel gbara si dị." 28 Mosis
na ONYENWE ANYỊ nọ n'ebe ahụ iri ụbọchị anọ, ehihie na abalị. Ma n'oge ndị a niile
o righị nri ọbụla. Ọ ṅụkwaghị ihe ọṅụṅụ ọbụla. O dere na mbadamba nkume abụọ
ahụ okwu niile nke ọgbụgba ndụ ahụ, nke bụ iwu iri ahụ.

### *Mosis arịdata site n'ugwu Saịnaị*

29 Mgbe Mosis ji mbadamba nkume abụọ nke ihe ama ahụ na-arịdata site n'elu
ugwu ahụ, ọ mataghị na ihu ya na-egbuke egbuke, n'ihi ọnọdụ nke ọ nọrọ n'ihu
ONYENWE ANYỊ. 30 N'ihi mgbuke ahụ ihu Mosis na-egbuke, ụjọ ekweghị Erọn na ụmụ
Izrel bịaruo ya nso. 31 Ma Mosis kpọrọ ha ka ha bịakwute ya. N'ihi ya, Erọn na
ndị ndu nzukọ Izrel bịara ka ha na Mosis kparịtaa ụka. 32 Mgbe e mesịrị, ndị Izrel
niile bịakwutere ya. O nyekwara ha iwu ndị ahụ ONYENWE ANYỊ nyere ya n'elu ugwu
Saịnaị.
33 Mgbe Mosis gwachara ha okwu, o weere akwa kpuchie ihu ya. 34 Ma mgbe ọbụla
ọ na-abanye n'ihu ONYENWE ANYỊ ka ha kparịtaa ụka n'ime ụlọ nzute ahụ, ọ na-ekepụ
akwa ahụ o ji kpuchie ihu ya tutu ruo mgbe ọ nọchara pụta. Mgbe ọ pụtara, ọ na-
agwa ndị Izrel ihe niile ONYENWE ANYỊ nyere ya n'iwu. 35 Ha hụkwara na ihu ya na
akpụkpọ ihu ya na-egbuke egbuke. Emesịa, Mosis na-ekpuchikwa ihu ya tutu ruo
mgbe ọ ga-abanye n'ime ka ya na ONYENWE ANYỊ kparịta ụka.

## 35

### *Usoro Iwu metụtara ụbọchị izuike*

1 Emesịa, Mosis kpọrọ nzukọ ụmụ Izrel niile gwa ha sị, "Ndị a bụ iwu ONYENWE
ANYỊ nyere nke unu na-aghaghị idebe. 2 Rụọnụ ọrụ ụbọchị isii, ụbọchị nke asaa bụ
ụbọchị izuike, ụbọchị dị nsọ nke izuike nye ONYENWE ANYỊ. Onye ọbụla rụrụ ọrụ

n'ụbọchị nke asaa ga-anwụ. 3 Unu amụnyela ọkụ n'ebe obibi unu n'ụbọchị izuike
ahụ."

### *Onyinye maka ọrụ ụlọ nzute*

4 Mgbe ahụ Mosis gwara nzukọ Izrel niile sị, "Nke a bụ iwu Onyenwe anyị nyere,
5 sitenụ n'ihe unu nwere wetara Onyenwe anyị onyinye. Onye ọbụla nke ọ masịrị,
ya wetara Onyenwe anyị onyinye nke ihe ndị a:

"Ọlaọcha, ọlaedo na bronz,
6 ogho na-acha anụnụ anụnụ, nke odo odo, nke uhie uhie na nke ezi akwa ọcha,
na ajị ewu;
7 akpụkpọ ebule e sijiri uhie uhie, akpụkpọ ehi mmiri,
na osisi akashia;
8 mmanụ oliv nke a ga-etinye n'iheọkụ,
ụda a na-etinye na mmanụ nsọ, na ụda na-eme ka aja nsure ọkụ na-esi isi ụtọ;
9 nkume ọma ọniks, na nkume ndị ọzọ a na-ahịọnye n'efọọd, na nke a na-ahịọnyekwa n'ihe mgbochi obi.

10 "Unu niile ndị nwere onyinye ịkwa ǹka, bịanụ rụọ ihe ahụ niile Onyenwe anyị
nyere anyị n'iwu ịrụ, nke bụ ihe ndị a:

11 "ụlọ nzute ahụ, na ihe mkpuchi ya, na nko ya niile, na mbudo ibo ya, na mkpọrọ osisi ya, na ogidi ya, na ụkwụ ya niile.
12 Rụkwanụ igbe ọgbụgba ndụ ahụ, na mkpara ahụ e ji ebu ya. Ya na oche ebere ahụ. Mekwaanụ akwa mgbochi nke ga-ekpuchi ebe nsọ ahụ,
13 na tebul ahụ, na mkpara e ji ebu ya, na ngwongwo ya niile, na achịcha nke iche n'Ihu Onyenwe anyị.
14 Mekwaa ebe ịdọkwasị oriọna maka ìhè, ya na ngwongwo ya niile, iheọkụ na mmanụ maka ịmụ ọkụ;
15 n'ebe ịchụ aja ihe nsure ọkụ na mkpara ya. Mmanụ nsọ ahụ na ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nke e ji ụda mee;
akwa mgbochi maka ọnụ ụzọ nke dị n'ebe mbata ụlọ nzute ahụ;
16 ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ ya na ihe ọkpụkpa bronz ya, mkpara e ji ebu ya na ngwongwo ya niile,
efere ukwu ahụ na ihe ndọkwasị ya.
17 Akwa mgbochi nke ogige ụlọ ahụ na ogidi ha, na ihe ndọkwasị ya, nakwa akwa mgbochi nke ọnụ ụzọ e si abanye n'ogige ahụ;
18 ǹtu maka ịkpọgide ụlọ ikwu ahụ na nke ogige ahụ, na ụdọ ha,
19 uwe niile a kpara akpa nke a na-eyi eje ozi n'ebe nsọ ahụ, ma uwe nsọ nke Erọn, onye nchụaja na uwe nke ụmụ ya ndị ikom na-eyi mgbe ha na-eje ozi ha dịka ndị nchụaja."

20 Ugbu a, ọgbakọ ụmụ Izrel niile siri n'ihu Mosis pụọ. 21 Onye ọbụla chọrọnụ na
onye nke mmụọ ya kwaliri laghachiri azụ bịa wetara Onyenwe anyị onyinye n'ihi ọrụ
nke ụlọ nzute ahụ na n'ihi ije ozi dị n'ime ya na n'ihi uwe nsọ ndị ahụ. 22 Ndị niile
ọ metụrụ n'obi, ma ndị nwoke ma ndị nwanyị bịara weta onyinye ha. Ha wetaara
Onyenwe anyị onyinye ihe ịchọ mma nke ọlaedo dị iche iche: ihe ịkpọchi uwe, ọlantị,
ọlaaka na ihe ndị ọzọ e ji achọ mma dị iche iche, nke e ji ọlaedo kpụọ. Ha chere ha
n'ihu Onyenwe anyị dịka aja mfufe. 23 Ụfọdụ mmadụ wetara akwa na-acha anụnụ
anụnụ na ngwakọta anụnụ na uhie na nke uhie uhie maọbụ ezi akwa ọcha maọbụ
akpụkpọ ajị ewu, akpụkpọ ebule e sijiri ọbara ọbara na akpụkpọ ehi mmiri. 24 Ndị

ọzọ wetara ọlaọcha na bronz, dịka onyinye ha nyere ONYENWE ANYỊ, ụfọdụ wetara
osisi akashia nke a ga-eji wuo ụlọ ikwu ahụ. 25 Ụmụ nwanyị ndị bụ ọka n'ịdụ akwa
na ikwe akwa tụrụ eri na-acha anụnụ anụnụ, na ngwakọta anụnụ na uhie, nke na-
acha uhie uhie na nke ezi akwa ọcha, webata ha dịka onyinye. 26 Ụfọdụ ụmụ nwanyị
kwa ji onyinye ǹka pụrụ iche ha nwere kpaa ajị ewu dịka akwa pụrụ iche. 27 Ndị
ndu niile wetakwara nkume ọniks na nkume ndị ọzọ nke ịhịọnye n'ihe a ga-eji dụọ
efọọd na ihe mgbochi obi ahụ. 28 Ha wetakwara ụda dị iche iche, mmanụ oliv nke a
ga-etinye n'iheọkụ, nke a ga-eji mee mmanụ otite dị nsọ, mekwa ihe nsure ọkụ na-esi
isi ụtọ. 29 N'ụzọ dị otu a ka ụmụ Izrel niile, ma nwoke ma nwanyị, ndị chọrọ inyeaka
n'ọrụ ahụ ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu si weta onyinye ha. Onye ọbụla n'ime
ha nyere ONYENWE ANYỊ onyinye afọ ofufu.

### *Bezalel na Oholiab*

30 Mgbe ahụ, Mosis gwara ndị Izrel, sị, “Lee, ONYENWE ANYỊ ahọpụtala Bezalel, nwa
Uri, nwa Hua, onye si n'ebo Juda. 31 O mejupụtala na Mmụọ nke Chineke, n'amamihe,
nghọta na ihe ọmụma na ike ije ozi ọrụ ǹka dị iche iche. 32 Ichepụta ihe ǹka dị iche
iche, nke metụtara ọlaọcha na ọlaedo na bronz, 33 ịwa nkume na ido nkume, ịkwa
ǹka osisi nakwa ọrụ ǹka niile dị iche iche. 34 Ma o tinyela n'ime ya na Oholiab, nwa
Ahisamak, onye si n'ebo Dan, amara ikuziri ndị ọzọ ihe. 35 O mejupụtala ha n'ike
ije ozi ọrụ ǹka dị iche iche, dịka igbunye akara, ise ihe osise, ịkpanye ihe ịchọ mma
n'akwa dị iche iche, ya bụ iji ogho na-acha anụnụ anụnụ, ngwakọta anụnụ na uhie,
uhie uhie nakwa n'ezi akwa ọcha na nke ndị ọkpa akwa. Ha niile bụkwa ndị ǹka na
ndị nchepụta ihe ịchọ mma doro anya.”

## 36

1 Ya mere, Bezalel na Oholiab na ndị ǹka niile ONYENWE ANYỊ nyere ike na nghọta
ịmata otu ha ga-esi rụọ ọrụ iwu ebe nsọ ahụ ga-arụ ọrụ ahụ dịka ONYENWE ANYỊ nyere
n'iwu.
2 Mgbe ahụ, Mosis kpọrọ Bezalel na Oholiab na ndị ǹka ndị ahụ ONYENWE ANYỊ
nyere ike na nghọta, ndị wepụtara obi ha ịbịa ịrụ ọrụ ahụ. 3 Ha si n'aka Mosis
nara onyinye ndị ahụ niile ụmụ Izrel wetara maka ịrụ ọrụ ebe nsọ ahụ. Ndị mmadụ
nọkwa na-eweta onyinye afọ ofufu ha ụtụtụ niile. 4 N'ihi ya, ndị ọrụ ǹka niile nọ na-
arụ ọrụ n'ebe nsọ ahụ hapụrụ ọrụ ha na-arụ, 5 bịakwute Mosis, sị ya, “Lee, onyinye
ndị mmadụ na-eweta adịla ukwuu karịa ihe a chọrọ maka ịrụ ọrụ a ONYENWE ANYỊ
nyere n'iwu.”
6 Mgbe ahụ, Mosis nyere iwu, ha zisara ozi ahụ n'ọmụma ụlọ ikwu niile sị, “Ka
nwoke maọbụ nwanyị ọbụla gharakwa inwe ihe ọbụla nke ọ ga-eweta dịka onyinye
maka ọrụ ebe nsọ a.” N'ihi nke a, ndị mmadụ kwụsịrị iweta ihe ọzọ. 7 N'ihi na
onyinye e wetara adịla ukwuu karịa ihe a chọrọ maka ọrụ ahụ.

### *Ọrụ ụlọ nzute*

8 Ndị niile mara ǹka n'etiti ndị ọrụ ahụ ji ezi ogho na-acha anụnụ anụnụ, ngwakọta
anụnụ na uhie na uhie uhie wuo ụlọ nzute ahụ. Onye ọka kpanyekwara oyiyi
cherubim n'ime ha. 9 Akwa mgbochi ndị a ha n'otu. Ịdị ogologo ha n'otu n'otu
bụ mita iri na abụọ na ọkara. Obosara ha bụ otu mita na sentimita asatọ. 10 E
jikọtara akwa mgbochi ise n'otu, jikọtakwa akwa ise nke ọzọ n'otu. 11 Ha ji akwa
na-acha anụnụ anụnụ dụnye anya nko n'elu ọnụ akwa mgbochi nke otu ụzọ, otu a
ka emekwara menyekwa na nsọtụ ọnụ akwa mgbochi nke ọzọ. 12 Ha dụnyere iri
anya nko ise n'otu akwa mgbochi, dụnyekwa iri anya nko ise n'ọnụ akwa mgbochi
nke ọzọ, mee ka anya nko ndị a chee ibe ha ihu. 13 Emesịa, ha ji iri nko ọlaedo ise
jikọta ụzọ akwa mgbochi abụọ ndị a, si otu a mee ka ụlọ nzute ahụ ghọọ otu.

[14] Ha ji akpụkpọ ajị ewu mee akwa mgbochi maka i ji kpuchie elu ụlọ nzute ahụ.
Iri na otu ka ha ga-adị n'ọnụọgụgụ. [15] Akwa mgbochi iri na otu ndị a ha n'otu. Ọ
ga-abụ mita iri na atọ na ọkara n'ogologo, ebe obosara ya bụ otu mita na iri sentimita
asatọ. [16] Ha dụkọtara ise n'ime akwa mgbochi ahụ, debe ya iche. Dụkọtakwa isii nke
fọdụrụ debekwa ya iche. [17] Mgbe ahụ, ha dụnyekwara iri anya nko ise n'elu ọnụ otu
akwa mgbochi ndị ahụ. Mekwaa otu ihe ahụ n'ọnụ akwa mgbochi nke ọzọ e debere
iche. [18] Ha mekwara iri nko bronz ise, iji jikọta ụlọ nzute ahụ ka ọ bụrụ otu. [19] Mgbe
ahụ, ha ji akpụkpọ ebule e sijiri uhie uhie mee ihe mkpuchi maka ụlọ nzute ahụ, ya
na akwa mkpuchi ọzọ nke e ji akpụkpọ ehi mmiri mee maka ịkpụkwasị n'elu ya.
[20] Ha meere ụlọ nzute ahụ mbudo ibo osisi akashia, guzo ọtọ. [21] Mbudo ibo ọ
bụla dị mita anọ na ọkara n'ogologo, dịrịkwa iri sentimita asaa n'obosara, [22] nwee
ihe nhịọnye abụọ nke ga-abanye n'ime ibe ya ijikọ ha n'otu. Ha rụrụ mbudo ibo
ụlọ nzute ahụ niile otu a. [23] Ha rụrụ mbudo ibo iri abụọ maka akụkụ ndịda nke
ụlọ nzute ahụ, [24] ma mekwaa iri ụkwụ ọlaọcha anọ n'okpuru ha. Otu mbudo ibo
ga-enwe ụkwụ abụọ, otu ụkwụ n'okpuru otu ihe nhịọnye, otu ụkwụ n'okpuru ihe
nhịọnye nke ọzọ. [25] N'akụkụ nke ọzọ bụ akụkụ ugwu nke ụlọ nzute ahụ, ha rụkwara
iri mbudo ibo abụọ, [26] rụkwaa iri ụkwụ ọlaọcha anọ, ụkwụ abụọ n'okpuru mbudo
ibo ọbụla. [27] N'ebe isi isi nsọtụ ya bụ akụkụ ọdịda anyanwụ nke ụlọ nzute, ha rụrụ
mbudo ibo isii. [28] Mbudo ibo abụọ ka e mere maka nkuku niile nke nsọtụ ụlọ nzute
ahụ, [29] N'isi nkuku abụọ ndị a, mbudo ibo ndị a nọ iche iche site n'okpuru ruo n'elu
ya; ma e jikọrọ ha ọnụ n'ime otu mgbaaka. Emere ka ha abụọ yie ibe ya. [30] Ha niile
dị mbudo ibo asatọ na ụkwụ ọlaọcha dị iri na isii, ya bụ ụkwụ abụọ n'okpuru mbudo
ibo ọbụla.
[31] Ha ji osisi akashia mekwaa osisi ntụbichi, ise maka mbudo ibo ndị dị n'otu akụkụ
nke ụlọ nzute ahụ, [32] ise nke ọzọ maka ndị dị n'akụkụ nke ọzọ, ise nke ọzọ maka
mbudo ibo dị n'akụkụ ọdịda anyanwụ, n'ebe ndịda ndịda nke ụlọ nzute ahụ [33] Ha
mere osisi ntụbichi nke dị n'etiti ka ọ gabiga site n'otu isi ruo n'isi nke ọzọ nke mbudo
ibo ahụ. [34] Ha ji ọlaedo machie mbudo ibo ndị ahụ niile. Kpụkwaa mgbaaka ọlaedo
ka ọ bụrụ ọnọdụ ịchịkọta mkpọrọ osisi ahụ niile. Ha ji ọlaedo machiekwa mkpọrọ
osisi ndị ahụ niile.
[35] Ha ji ogho na-acha anụnụ anụnụ, ngwakọta anụnụ na uhie, uhie uhie na ezi akwa
ọcha a kpara nke ọma mee akwa mgbochi. Onye ǹka kpanyekwara oyiyi cherubim
n'ime ya. [36] Ha mere ogidi osisi akashia anọ maka ya were ọlaedo machie ha. Ha
meere ha anya nko; wukwara ha ụkwụ ọlaọcha anọ. [37] Ha mere akwa mgbochi maka
ọnụ ụzọ mbata nke ụlọ ikwu ahụ, nke e ji ogho na-acha anụnụ anụnụ, na ngwakọta
anụnụ na uhie, na uhie uhie, na ezi akwa ọcha a kpara nke ọma, nke bụ akaọrụ onye
ǹka. [38] Ha rụrụ ogidi ise ya na anya nko ha. Ha ji ọlaedo machie isi ogidi ahụ na ihe
mkpọrọ ha, were bronz rụọ ụkwụ ise ha.

# 37

*Igbe Ọgbụgba ndụ*

[1] Bezalel ji osisi akashia wuo igbe ọgbụgba ndụ nke ịdị ogologo ya bụ otu mita
na sentimita iri. Obosara ya ga-abụ sentimita iri isii na asatọ. Ịla elu ya ga-abụkwa
sentimita iri isii na asatọ. [2] O ji ọlaedo a nụchara anụcha machie n'ime na azụ ya,
jirikwa ọlaedo kpụọ ihe gburugburu akụkụ ya niile. [3] Ọ kpụrụ mgbaaka ọlaedo anọ
maka ya, kwụnyekwa ha n'ụkwụ anọ ya, ya bụ mgbaaka abụọ n'otu akụkụ, mgbaaka
abụọ n'akụkụ nke ọzọ ya. [4] O jikwa osisi akashia ahụ mee okporo osisi, machiekwa
ha ọlaedo. [5] O tinyekwara mkpara ndị ahụ n'ime mgbaaka ahụ dị n'akụkụ igbe ahụ;
ka ọ bụrụ ihe iji na-ebu ya.

6 Emesịa, o ji ọlaedo a nụchara anụcha mee ihe e ji ekwuchi igbe ahụ. Aha a
na-akpọ okwuchi igbe a bụ Oche Ebere. Ịdị ogologo ya dị otu mita na sentimita
iri, obosara ya dị iri sentimita asaa. 7 Mgbe ahụ, o ji ọlaedo a nụchara anụcha,
nke e tipịara etipịa, kpụọ cherubim abụọ na nsọtụ abụọ nke ebe mkpuchi ahụ. 8 A
rụnyere otu cherub n'otu nsọtụ, otu cherub na nsọtụ nke ọzọ; n'isi nsọtụ abụọ ahụ,
ka o jikọtara ha ọnụ ka ha na okwuchi igbe ahụ bụrụ otu. 9 Cherubim ndị a gbasara
nku ha laa elu, were ha na-ekpuchi okwuchi ahụ. Cherubim ndị ahụ cherịtara onwe
ha ihu, na-ele anya n'ebe okwuchi ahụ dị.

*Tebul*

10 Emesịa, o mere tebul nke ịdị ogologo ya bụ iri sentimita itoolu. Obosara ya bụ iri
sentimita ise, ịla elu ya bụ iri sentimita asaa. Ọ bụ osisi akashia ka o ji mee ya. 11 Ọ
bụkwa ọlaedo a nụchara anụcha ka e ji machie ya. A kpụnyekwara ihe ọkpụkpụ
ọlaedo gburugburu ọnụ ọnụ ya. 12 A rụnyere ihe n'ọnụ ọnụ tebul ahụ nke ịla elu
ya ga-eru sentimita asatọ. Ihe a dị gburugburu ọnụ ọnụ tebul ahụ, ọ bụkwa ọlaedo
a kpụrụ akpụ ka e ji rụọ ya. 13 Ha kpụrụ mgbaaka ọlaedo anọ maka tebul ahụ;
kwụnyekwa ha n'akụkụ anọ ahụ n'ebe ụkwụ anọ ya dị. 14 E tinyere mgbaaka ndị
ahụ nso nso ihe njikọ ahụ ka ha jide mkpara ndị ahụ, e ji ebu tebul ahụ. 15 O jikwa
osisi akashia mee okporo osisi ahụ e ji ebu tebul ahụ. Jirikwa ọlaedo machie ya. 16 O
mekwara ihe niile na-adị n'elu tebul ahụ: efere, ngaji, ọkwa na iko, nke e ji awụpụ
aja ihe ọṅụṅụ. Ọ bụkwa ọlaedo a nụchara anụcha ka o ji kpụọ ha.

*Ihe ịdọba oriọna*

17 Ha ji ọlaedo a nụchara anụcha kpụọ ihe ịdọkwasị oriọna. Ha kpụrụ ụkwụ ala
ala ya, na alaka ya, mekwaa ka iko ya niile yiri okoko osisi, n'isi ya niile, na ifuru
ya niile bụrụ otu ya na ahụ ya. 18 Alaka isii sitere n'akụkụ abụọ nke ihe ịdọkwasị
oriọna ahụ wapụta, alaka atọ n'otu akụkụ ya, alaka atọ n'akụkụ nke ọzọ. 19 Iko atọ e
mere dịka okoko osisi alụmọnd ya na ifuru, ya na okoko ya niile dịkwa n'otu alaka;
iko atọ n'alaka nke ọzọ, otu a ka ọ ga-adị n'alaka isii niile ahụ na-awapụta site n'ihe
ịdọkwasị oriọna ahụ. 20 N'elu ihe ịdọba oriọna ahụ, enwere iko anọ dịka ifuru osisi
alụmọnd, ya na ebe o si awapụta na okoko ya. 21 Otu isi dị n'okpuru alaka abụọ si
n'etiti ihe ịdọba oriọna ahụ pụta, isi nke abụọ ga-adị n'okpuru alaka abụọ nke ọzọ,
isi nke atọ ga-adị n'okpuru alaka nke atọ, ya bụ ha niile alaka isii. 22 Isi nwapụta
ya na alaka ya niile dịkọtara ọnụ, ha na ihe ịdọkwasị oriọna ahụ, nke e ji ọlaedo a
nụchara anụcha rụọ.

23 Ha mekwara oriọna asaa ya, ma mkpa ya na ihe ịkpakepụ ọkụ ya niile. Ha
bụ ọlaedo a nụchara anụcha. 24 Ha sitere na iri kilogram atọ na anọ nke ọlaedo a
nụchara anụcha kpụọ ihe ịdọkwasị oriọna ahụ na ngwongwo ya niile.

*Ebe ịchụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ*

25 Ha ji osisi akashia wuo ebe ịchụ aja a na-anọ esure ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ.
Akụkụ anọ ya ha n'otu. Ogologo ya na obosara ya bụ iri sentimita anọ na ise. Ịdị
elu ya bụ iri sentimita itoolu. Mpi ya niile si na ya pụta. 26 Ha ji ọlaedo a nụchara
anụcha machie elu ya; akụkụ ya niile nakwa mpi ya niile. Ha jikwa ọlaedo kpụlite
ọnụ ọnụ ya gburugburu. 27 Ha kpụnyere mgbaaka ọlaedo abụọ n'okpuru ihe ahụ
akpụlitere akpụlite, abụọ na ncherita ihu akụkụ ọ bụla, ebe a ga na-ejide mkpara e
ji ebu ya. 28 Ha ji osisi akashia mee mkpara ndị ahụ. Jirikwa ọlaedo machie ha.

29 Ha mekwara mmanụ otite dị nsọ, na ezigbo ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nke a
na-agwaghị ihe; bụ ọrụ nke onye na-eme mmanụ isi ụtọ.

# 38

*Ebe ịchụ aja ihe nsure ọkụ*

1 Ha ji osisi akashia wuo ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ. Nke ịla elu ya dị otu
mita na iri sentimita atọ. Ogologo ya na obosara ya ha n'otu. Ha dị mita abụọ na
iri sentimita atọ, mita abụọ na iri sentimita atọ. 2 Ha rụnyekwara mpi n'akụkụ anọ
nke ebe ịchụ aja ahụ n'otu n'otu. Mee ka mpi ndị a na ebe ịchụ aja ahụ ghọọ nke e
jikọtara n'otu. Ha jikwa bronz machie ebe ịchụ aja a. 3 Ha ji bronz kpụọ ngwongwo
niile dị iche iche, ya bụ efere ikpofu ntụ, shọvel ya niile, efere ịkwọsa mmiri niile,
ngaji eze ịdụta anụ na efere ndị e ji agụ ọkụ. 4 Ha mere ngịga mbadamba maka
ebe ịchụ aja ahụ, ihe ọkpụkpa bronz, nke ga-adị n'okpuru oghere ọnụ ọnụ ya. 5 Ha
kpụrụ mgbaka bronz ndị a ga-eji jide mkpara ndị ahụ maka akụkụ anọ nke ngịga
bronz ahụ. 6 Ha mere mkpara osisi akashia ndị a, were bronz machie ha. 7 Ha mere
ka mkpara ndị ahụ baa n'ime mgbaaka ndị ahụ, ime ka ha dịrị n'akụkụ abụọ nke
ebe ịchụ aja ahụ maka iji n'ebu ya. Ha ji obodobo osisi rụọ ya dịka igbe.

*Efere ịsa ihe*

8 Ha ji bronz kpụọ efere ukwu na ihe ndọkwasị ya. Ọ bụ enyo nke ndị inyom ahụ
ndị na-eje ozi n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute ka e ji kpụọ ha.

*Ogige ụlọ nzute*

9 Ọzọ, ha mere ogige ahụ. Ịdị ogologo nke n'akụkụ ndịda dị iri mita anọ na ise. O
nwere akwa mgbochi nke e ji ezi akwa ọcha a kpara nke ọma mee. 10 Iri ogidi abụọ
ga-adị na iri ebe ndọkwasị abụọ nke e ji bronz kpụọ. Anya nko ogidi ndị ahụ ha na
ihe ikegide ha ga-abụ ọlaọcha. 11 Otu a kwa, akụkụ ugwu dịkwa iri mita anọ na ise.
O nwere iri ogidi abụọ na iri ebe ndọkwasị abụọ nke e ji bronz kpụọ, na anya nko
nke ọlaọcha na ihe e ji ekegide ha n'ogidi ahụ.
12 Akụkụ ọdịda anyanwụ dị iri mita abụọ na atọ. Nwekwaa akwa mgbochi, nwere
ogidi iri na ebe ndọkwasị iri, tinyere anya nko ọlaọcha na ihe e ji ekegide ha n'ogidi
ahụ. 13 N'akụkụ ọwụwa anyanwụ, ebe anwụ na-awalite dịkwa iri mita abụọ na atọ
n'obosara. 14 Akwa mgbochi nke ogologo ya dị mita isii na sentimita iri asatọ bụ ihe
dị n'otu akụkụ nke ọnụ ụzọ mbata ahụ. O nwere ogidi atọ na ebe ndọkwasị atọ.
15 Otu a kwa, akwa mgbochi nke ịdị ogologo ya dị mita asaa bụ ihe dị n'akụkụ nke
ọzọ nke ọnụ ụzọ mbata nke ogige ahụ. Ọ ga-enwekwa ogidi atọ na ebe ndọkwasị atọ
16 Akwa mgbochi niile nke ogige ahụ gburugburu bụ ezi akwa ọcha a kpara nke ọma.
17 Ogidi ọbụla nwere ihe ndọkwasị bronz. Nko niile na ihe njikọta niile ka e jikwa
ọlaọcha machie. Ọ bụkwa naanị ọlaọcha ka e ji mee okporo osisi ndị ahụ.
18 Akwa mgbochi nke ọnụ ụzọ mbata nke ogige ahụ bụ ihe e ji ogho na-acha anụnụ
anụnụ, ngwakọta anụnụ na uhie, uhie uhie na nke ezi akwa ọcha a kpara nke ọma
mee; akaọrụ nke onye na-akpa ihe ịchọ mma. Ọ dị mita itoolu n'ogologo, yikwaa
akwa mgbochi nke ebe ogige ahụ, dị mita abụọ na iri sentimita atọ n'ịdị elu. 19 Ọ bụ
ogidi anọ ka e ji jidesie ha ike na ihe ndọkwasị bronz anọ, nko na okporo osisi ha
niile bụ ọlaọcha. E jikwa ọlaọcha machie isi ogidi ndị ahụ. 20 Ǹtu niile nke ụlọ nzute
ahụ nakwa n'ogige ya gburugburu bụ bronz ka e ji kpụọ ha.

*Ngwongwo e ji wuo ụlọ nzute*

21 Ndị a bụ ngwongwo niile e ji wuo ụlọ nzute ahụ; ebe a ga-edebe Ihe Ama ahụ. Ọ
bụ ndị Livayị depụtara ihe niile ndị a n'usoro dịka Mosis si nye ha n'iwu. Ọ bụkwa
Itama, nwa Erọn onye nchụaja, lekọtara ndị niile rụrụ ọrụ idekọta ya. 22 Bezalel,
nwa Uri, nwa Hua, onye si n'ebo Juda, rụzuru ihe niile dịka Onyenwe anyị si nye ya
Mosis n'iwu. 23 Onye na-enyere ya aka bụ Oholiab nwa Ahisamak, onye ebo Dan, bụ
onye ọka a maara aha ya, ọ bụ onye ọka ihe ọtụtụ, na onye ọka ịdụnye ihe ịchọ mma

dị iche iche n’akwa na-acha anụnụ anụnụ, nke ngwakọta anụnụ na uhie, uhie uhie
nakwa ezi akwa ọcha. 24 Ịdị arọ nke onyinye ọlaedo niile sitere n’aja mfufe ahụ nke
ndị mmadụ wetara maka ịrụ ebe nsọ ahụ, bụ otu puku na narị kilogram ise.
25 Ịdị arọ nke ọlaọcha enwetara n’aka ọgbakọ ahụ, bụ puku kilogram anọ, na narị
kilogram isii na iri ise dịka shekel ebe nsọ si dị. 26 Ha niile tụrụ otu beka, otu isi,
dịka ụtụ mgbe e kere ụtụ ọkara shekel dịka ọtụtụ shekel ebe nsọ si dị, e nyere n’isi
onye ọbụla nke gabigara n’ebe ndị a gụrụ ọnụ nọ, bụ ndị gbara iri afọ abụọ rigoo.
Ọnụọgụgụ ha dị narị isii, na puku atọ, na narị ise, na iri ise. 27 Ịdị arọ nke ọlaọcha
niile e ji rụọ ụkwụ ibo niile nke ebe nsọ ahụ, na ụkwụ ogidi niile e ji jidesie akwa
mgbochi ndị ahụ ike bụ puku kilogram atọ, na narị kilogram isii. Ịdị arọ nke ọlaọcha
e ji wuo ụkwụ ọbụla bụ iri kilogram atọ na isii. 28 Ịdị arọ nke ọlaọcha e ji menye nko
n’ibo osisi niile, na nke e ji machie okporo osisi niile, na nke e ji techie isi ogidi osisi
niile, bụ iri kilogram abụọ.
29 Ịdị arọ nke bronz niile ndị mmadụ wetara dịka onyinye aja mfufe bụ puku
kilogram atọ, na narị kilogram atọ, na iri isii. 30 E ji bronz ndị a wuo ụkwụ ogidi
niile a manyere n’ihu ụzọ e si abata ogige ụlọ nzute ahụ. E jikwa ya wuo ebe ịchụ
aja bronz ahụ, na ihe ọkpụkpụ bronz ahụ, na ngwongwo niile e ji eje ozi n’ebe ịchụ
aja, 31 na ụkwụ ogidi a manyere n’ihu ụlọ nzute, na ǹtu niile e ji wuo ụlọ nzute ahụ,
na ogige gbara ya gburugburu.

# 39

*Uwe ndị nchụaja*

1 Ha sitekwara n’ogho akwa na-acha anụnụ anụnụ na nke na-acha ngwakọta anụnụ
na uhie (odo odo), nke na-acha uhie uhie, meere ndị nchụaja uwe akpara akpa nke
ọma iyi jee ozi n’ebe nsọ ahụ. Ha meekwara Erọn uwe nsọ, n’usoro iwu ONYENWE
ANYỊ nyere Mosis.

*Efọọd*

2 Ha ji ogho ọlaedo, na nke na-acha anụnụ anụnụ, nke na-acha ngwakọta anụnụ
na uhie, na nke na-acha uhie uhie, nakwa nke ezi akwa ọcha a kpara nke ọma mee
efọọd ahụ. 3 Ha tipịara mpempe ọlaedo ndị ahụ mee ka ọ dị mbadamba. Bipụtasịa
ha ntakịrị ntakịrị dịka eriri maka i ji ha kpanye n’etiti ogho ndị a na-acha anụnụ
anụnụ; ngwakọta anụnụ na uhie, nke uhie uhie nakwa nke ezi akwa ọcha ahụ, nke
bụ akaọrụ onye ǹka. 4 Ha dụrụ akwa na-adị n’ubu maka efọọd ahụ, nke e jikọtara
na nkuku ya abụọ, maka i ji na-ekechisi ya ike. 5 Ihe okike nke ukwu ahụ, nke onye
ǹka kpaziri nke ọma yiri ya, ya na efọọd ahụ bụ otu, nke e ji ogho na-acha edo edo,
anụnụ anụnụ, ngwakọta anụnụ na uhie na uhie uhie nakwa nke ezi akwa ọcha a
kpara nke ọma mee, dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n’iwu.
6 Ha doziri nkume ọniks ndị ahụ n’ime ihe ọlaedo a kpara akpa; ma gbunye aha
ụmụ ndị ikom Izrel niile n’elu ya dịka onye ọka si egbunye aha mmadụ n’elu mgbaaka
akara. 7 Ha jikọtara ha n’elu akwa ubu nke efọọd ahụ, ka ọ bụrụ nkume ncheta mgbe
ebighị ebi nye ụmụ Izrel, dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n’iwu.

*Ihe mgbochi obi*

8 Ha mekwara ihe mgbochi obi, nke bụ ọrụ aka onye ǹka. Ha mere ya dịka e si mee
efọọd ahụ. Ọ bụ ogho edo edo, nke na-acha anụnụ anụnụ, nke ngwakọta anụnụ na
uhie, nke uhie uhie na ezi akwa ọcha a kpara nke ọma ka e ji mee ya. 9 Ọ ha n’otu,
iri sentimita abụọ na atọ n’ogologo, iri sentimita abụọ na atọ n’obosara; nke apịajiri
ụzọ abụọ. 10 Mgbe ahụ, ha hịọnyere ahịrị nkume anọ ndị dị oke ọnụahịa n’ime ya.
Ụdị dị n’ahịrị nke mbụ bụ: nkume kanelian, krisolaịt na beril, 11 n’ahịrị nke abụọ bụ:
nkume tọkwọisi, safaia na emeralụdụ. 12 N’ahịrị nke atọ bụ: nkume jasint, ageeti na

ametisiti. 13 N’ahịrị nke anọ bụ: nkume topaazi, ọniks na jaspa. Ahịọnyere ha n’ime
ihe ọlaedo a kpara akpa. 14 Ha dị nkume iri na abụọ, nke ọbụla na-anọchi anya aha
ụmụ ndị ikom Izrel. Egbunyere aha ebo iri na abụọ ahụ, otu n’otu, nke ọbụla dịka
aha ya si dị.
15 Ha ji ọlaedo a nụchara anụcha mee eriri a kpara akpa dịka ụdọ, maka ihe
mgbochi obi. 16 Ha mere ihe ọlaedo abụọ nke a kpara akpa, ya na mgbaaka ọlaedo
abụọ. Dụnyekwa mgbaaka ndị ahụ na nkuku abụọ nke ihe mgbochi obi ahụ. 17 Ha
dụnyere ụdọ ọlaedo abụọ ndị ahụ n’elu mgbaaka ndị ahụ dị na nkuku ihe mgbochi
obi ahụ. 18 Were isi ndị ọzọ nke ụdọ ahụ dụnye n’ihe ahụ a kpara akpa. Konye
ha n’elu ubu efọọd ahụ, n’ebe ihu ya. 19 Ha mere mgbaaka ọlaedo. Konyekwa ha
na nkuku abụọ nke ihe mgbochi obi ahụ, n’ime ọnụ ọnụ ya ebe dị nso efọọd ahụ.
20 Mgbe ahụ, ha kpụrụ mgbaaka ọlaedo abụọ ọzọ, konyekwa ha n’elu ubu abụọ nke
efọọd ahụ, n’okpuru n’ebe ihu ya, na nso nso ebe a dụkọtara, n’elu ihe okike ukwu
nke efọọd ahụ. 21 Ha jikwa eriri na-acha anụnụ kekọta mgbaaka ihe mgbochi obi
ahụ na mgbaaka efọọd ahụ, jikọta ya na ihe okike ukwu ahụ, ime ka ihe mgbochi
obi ahụ hapụ ịtọghapụ site n’efọọd ahụ, dịka iwu Onyenwe anyị nyere Mosis si dị.

### *Uwe ndị ọzọ*

22 Ọ bụ akwa nke na-acha anụnụ anụnụ,* ka ha ji dụọ uwe mwụda efọọd ahụ, ọrụ
onye okwe akwa. 23 A ga-enwe oghere n’etiti uwe mwụda ahụ, dịka oghere olu uwe
agha, nwekwa akwa nta a dụnyere n’okpuru oghere a, ime ka o sie ike gharakwa
ịdọka. 24 Ha ji ogho na-acha anụnụ anụnụ, ngwakọta anụnụ na uhie, nke na-acha
uhie uhie na ezi akwa ọcha a kpara nke ọma kpanye oyiyi mkpụrụ pomegranet,
gburugburu n’ọnụ ala ala uwe mwụda ahụ. 25 Ha dụnyekwara atańụ e ji ọlaedo
a nụchara anụcha kpụọ, gburugburu n’ọnụ ọnụ ala ya n’etiti pomegranet ndị ahụ.
26 Otu atańụ, otu oyiyi mkpụrụ pomegranet, otu a ka a dụnyere ya gburugburu ọnụ
ọnụ ala uwe mwụda ahụ, nke a ga-eyi mgbe a na-eje ozi, dịka iwu Onyenwe anyị
nyere Mosis si dị.
27 Ha ji ezi akwa ọcha metara Erọn na ụmụ ya ndị ikom, uwe ime ahụ, akaọrụ nke
onye ọkpa akwa, 28 jirikwa ezi akwa ọcha mee akwa ike n’isi, okpu akwa ọcha, na
uwe ukwu nke ezi akwa ọcha a kpara nke ọma. 29 Ihe ike n’ukwu bụ nke e ji ogho
na-acha anụnụ anụnụ, ngwakọta anụnụ na uhie uhie, na uhie uhie, nke ezi akwa
ọcha a kpara nke ọma, ọrụ aka onye ǹka na-akpanye ihe ịchọ mma, dịka Onyenwe
anyị si nye Mosis n’iwu.
30 Ha mere efere, bụ okpu nsọ ahụ, site n’ọlaedo a nụchara anụcha, gbunyekwa
akara n’elu ya, dịka ihe e dere n’elu mgbaaka akara:

Ihe nsọ dịrị Onyenwe anyị.

31 Mgbe ahụ, ha kenyere ya eriri na-acha anụnụ anụnụ i ji jikọta ya na ihe ike n’isi
ahụ, dịka Onyenwe anyị nyere ya Mosis n’iwu.

### *Nrụcha ọrụ iwu ụlọ nzute*

32 Otu a ka ha si rụchaa ọrụ iwu ụlọ nzute ahụ. Ndị Izrel mere ihe niile dịka
Onyenwe anyị si nye Mosis n’iwu. 33 Mgbe ahụ, ha buteere Mosis ụlọ nzute ahụ:

ụlọ ikwu ahụ ya na ngwongwo ya niile, ya bụ nko ya niile, mbudo ibo ya niile,
mkpọrọ osisi ya niile, ogidi ya niile na ụkwụ ya niile,
34 na akpụkpọ ebule e sijiri uhie uhie, akpụkpọ ehi mmiri e ji emechi elu ụlọ nzute
ahụ, na akwa mgbochi,
35 na igbe iwu ọgbụgba ndụ ahụ, ya na mkpara e ji ebu ya, na oche ebere ya,
36 na tebul ahụ, ya na ngwongwo ya niile na achịcha nke iche n’Ihu Onyenwe anyị,

* **39:22** 39:22 Maọbụ, buluu

37 na ihe ịdọkwasị oriọna e ji ọlaedo a nụchara anụcha kpụọ, na iheọkụ ya niile na ngwongwo ya niile, na mmanụ oliv maka ịmụ ọkụ,
38 na ebe ịchụ aja ọlaedo, mmanụ nsọ na ụda na-esi isi ụtọ na akwa mgbochi nke ọnụ ụzọ ụlọ nzute,
39 na ebe ịchụ aja bronz ahụ, na ihe ọkpụkpa bronz ya, mkpara ya niile na ngwongwo ya niile,
efere ukwu ahụ ya na ihe ndọkwasị ya,
40 akwa mgbochi nke ogige ụlọ ahụ, na ogidi ya na ihe ndọkwasị ya nakwa akwa mgbochi nke ọnụ ụzọ e si abanye n'ogige ahụ;
ụdọ na ǹtu ịkpọgide ogige ahụ;
ngwongwo niile nke ụlọ nzute ahụ, ụlọ ikwu nzute ahụ
41 na uwe niile a kpara akpa, nke a na-eyi eje ozi n'ebe nsọ ahụ, ma uwe nsọ nke Erọn, onye nchụaja, na uwe nke ụmụ ya ndị ikom na-eyi mgbe ha na-eje ozi ha dịka ndị nchụaja.

42 Ndị Izrel niile rụzuru ọrụ ndị a niile dịka ONYENWE ANYỊ si nye ya Mosis n'iwu.
43 Mosis n'onwe ya hụkwara ọrụ ndị a niile, nabata ya ka nke e jere dịka iwu ONYENWE
ANYỊ nyere si dị. N'ihi ya, Mosis gọziri ha.

# 40

*Nguzo e guzobere ụlọ nzute*

1 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 2 "Guzobe ụlọ nzute ahụ
n'ụbọchị mbụ nke ọnwa mbụ. 3 Dọnye igbe ọgbụgba ndụ nke Ihe Ama ahụ n'ime
ya. Konyekwa akwa mgbochi nke ga-ezo ya. 4 Webata tebul ahụ, na ngwongwo dị
n'elu ya, webatakwa ihe ịdọba oriọna ahụ. Mụnyekwa oriọna ndị ahụ ọkụ. 5 Doo
ebe ịchụ aja ọlaedo ahụ nke e mere maka ịchụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n'ihu
igbe iwu ọgbụgba ndụ ahụ. Konyekwa akwa mgbochi nke kwesiri ịdị n'ọnụ ụzọ e si
abata n'ime ụlọ nzute ahụ.
6 "Doo ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ ahụ n'ihu ọnụ ụzọ ịbata n'ụlọ nzute bụ ụlọ
ikwu ahụ. 7 Dọnye efere ukwu ịsa mmiri ahụ n'etiti ụlọ nzute na ebe ịchụ aja ahụ.
Gbajukwaa ya mmiri. 8 Guzobe ogige gburugburu ụlọ nzute ahụ. Konyekwa akwa
mgbochi n'ọnụ ụzọ ogige ahụ.
9 "Were mmanụ nsọ ahụ tee ụlọ nzute ahụ, ya na ihe niile dị n'ime ya, si otu a doo
ha nsọ ma ngwongwo ịchọ mma ya niile. Ọ ga-abụ ebe dị nsọ. 10 Mgbe ahụ, tee ebe
ịchụ aja nke aja nsure ọkụ ahụ mmanụ ya na ihe ya niile e ji eje ozi. Doo ebe ịchụ
aja ahụ nsọ, ọ ga-abụkwa ebe dịkarịsịrị nsọ. 11 Tekwaa efere ukwu ịsa mmiri ahụ
na ụkwụ ya mmanụ. Doo ha nsọ.
12 "Kpọbata Erọn na ụmụ ya ndị ikom n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute. Jiri mmiri saa ha ahụ
n'ebe ahụ. 13 Yikwasị Erọn uwe nsọ ya. Tekwaa ya mmanụ, ido ya nsọ maka i jere m
ozi dịka onye nchụaja. 14 Mekwaa ka ụmụ ya ndị ikom bịaruo nso, yikwasịkwa ha
uwe ime ahụ. 15 Tee ha mmanụ dịka i si tee nna ha, ime ka ha bụrụ ndị na-ejere m
ozi dịka ndị nchụaja. Otite mmanụ ha ga-abụ nye ọrụ nchụaja ha nke ga-adịgide site
n'ọgbọ ruo n'ọgbọ." 16 Mosis mezuru ihe niile dịka ONYENWE ANYỊ nyere ya n'iwu
ime.
17 O ruo, n'ụbọchị mbụ nke ọnwa mbụ, n'afọ nke abụọ, e mere ka ụlọ nzute
ahụ guzo ọtọ. 18 Mosis mere ka ụlọ nzute ahụ guzo ọtọ site n'itinye mbudo ibo
ya niile, ụkwụ ya na mkpọrọ osisi ya niile n'ọnọdụ ha. 19 Emesịa, ọ gbasapụrụ ihe
mkpuchi n'elu ụlọ nzute ahụ, tụkwasịkwa okpukpu ihe mkpuchi nke abụọ n'elu ya
dịka ONYENWE ANYỊ nyere ya iwu.

20 O tinyere Ihe Ama n’ime igbe ọgbụgba ndụ ahụ. Emesịa, ọ tụkwasịkwara
mkpara e ji ebu igbe ahụ n’akụkụ igbe ahụ, were okwuchi igbe ahụ, nke bụ Oche
Ebere ahụ, kpuchie igbe iwu ọgbụgba ndụ ahụ. 21 Emesịa, o bubatara igbe ahụ n’ime
ụlọ nzute ahụ, kwụnyekwa akwa mgbochi nke mgbochi, kewapụ igbe iwu ọgbụgba
ndụ ahụ, dịka Onyenwe anyị nyere ya n’iwu.
22 Mosis dọnyere tebul ahụ n’akụkụ ugwu nke ụlọ nzute ahụ, na mpụta nke akwa
mgbochi ahụ. 23 Ọ dọkwasịrị achịcha ahụ a na-edo n’ihu Onyenwe anyị n’elu tebul
ahụ, dịka Onyenwe anyị nyere ya n’iwu.
24 Ọ dọkwasịrị ihe ịdọba oriọna ahụ n’ime ụlọ nzute n’akụkụ tebul ahụ, n’akụkụ
ndịda nke ụlọ nzute ahụ. 25 Ọ mụnyere oriọna ndị ahụ n’ihu Onyenwe anyị dịka
Onyenwe anyị si nye n’iwu.
26 Mosis debere ebe ịchụ aja ọlaedo ahụ n’ime ụlọ nzute nso nso ebe akwa mgbochi
ahụ dị, 27 surekwaa ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n’elu ya, dịka Onyenwe anyị nyere
ya n’iwu.
28 Ọ kwụbara akwa mgbochi n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ. 29 Debekwa ebe ịchụ aja
nke aja nsure ọkụ ahụ nso ọnụ ụzọ ịba ụlọ nzute ahụ. O surekwara aja nsure ọkụ
n’elu ya, na aja onyinye mkpụrụ ọka dịka Onyenwe anyị si nye ya n’iwu.
30 Ọ dọbara efere ịsa mmiri ahụ n’etiti ụlọ nzute na ebe ịchụ aja, wụjuo ya mmiri,
maka iji sachaa ihe. 31 Mosis, na Erọn, na ụmụ ya ndị ikom na-eji ya akwọcha aka
ha, sakwaa ụkwụ ha. 32 Mgbe ọbụla ha na-abanye n’ụlọ nzute na mgbe ha na-abịa
nso ebe ịchụ aja, ha na-asacha, dịka Onyenwe anyị nyere ya Mosis n’iwu.
33 Mosis guzobere ogige ahụ gburugburu ụlọ nzute ahụ na ebe ịchụ aja ahụ. O
konyekwara akwa mgbochi n’ụzọ mbata nke ogige ụlọ nzute ahụ. Otu a, Mosis rụzuru
ọrụ niile ahụ.

### *Ebube Onyenwe anyị*

34 Mgbe ahụ, igwe ojii kpuchiri ụlọ nzute ahụ, ebube Onyenwe anyị jupụtakwara
n’ime ya. 35 Mosis n’onwe ya enweghị ike ịbanye n’ime ụlọ nzute ahụ n’ihi igwe ojii
kpuchiri elu ya na ebube Onyenwe anyị jupụtara n’ụlọ nzute ahụ.
36 N’ime njeghar ị ha niile, mgbe ọbụla igwe ojii ahụ si n’elu ụlọ nzute ahụ bilie,
mgbe ahụ ka ụmụ Izrel na-ebuli njem. 37 Ma ọ bụrụ na igwe ojii ahụ ebilighị, ụmụ
Izrel adịghị ebulikwa njem tutuu ruo mgbe o biliri. 38 Igwe ojii Onyenwe anyị ahụ na-
anọgide n’elu ụlọ nzute ahụ n’ehihie ma n’abalị, ọkụ na-esi n’ime ya na-enwupụta.
Ndị Izrel niile na-ahụkwa ya anya ụbọchị niile nke ha jegharịrị n’ọzara.

# Levitikọs

*Aja nsure ọkụ*
1 Onyenwe anyị sitere n’ụlọ nzute ahụ kpọ Mosis oku, gwa ya sị, 2 “Gwa ụmụ Izrel
sị, ‘Mgbe onye ọbụla n’ime unu wetaara Onyenwe anyị onyinye, ka onyinye ọ ga-
eweta bụrụ anụ ụlọ si n’etiti igwe ehi maọbụ igwe ewu na atụrụ.
3 “ ‘Ọ bụrụ na ọ bụ onyinye aja nsure ọkụ* e wetara site n’igwe ehi, ọ bụ oke ehi
nke na-enweghị ntụpọ ka ọ ga-eweta. N’ọnụ ụzọ ụlọ nzute ka ọ ga-eweta ya, ka ọ
bụrụ ihe Onyenwe anyị ga-anabata. 4 Onye ahụ wetara ya ga-ebikwasị aka ya n’isi
anụ aja nsure ọkụ ahụ, a ga-anabata ya maka iji kpuchie mmehie ya. 5 Nwoke ahụ
ga-egbu nwa oke ehi ahụ n’ihu Onyenwe anyị. Ụmụ ndị ikom Erọn, bụ ndị nchụaja
ga-ewere ọbara ya fesa ya n’akụkụ niile nke ebe ịchụ aja, n’ọnụ ụzọ e si abata ụlọ
nzute ahụ. 6 Ị ga-agba ehi aja nsure ọkụ ahụ akpụkpọ, bọkasịa ya ntakịrị ntakịrị.
7 Ụmụ Erọn, ndị nchụaja ga-etinye ọkụ n’ebe ịchụ aja ahụ, doo nkụ n’usoro n’elu
ya. 8 Mgbe ahụ, ụmụ Erọn ndị nchụaja ga-atụkwasị akụkụ ehi ahụ niile, na isi ya, na
abụba ya, n’elu nkụ ahụ na-enwu ọkụ n’ebe ịchụ aja ahụ. 9 Ma a ga-asacha ihe ndị
dị n’ime afọ ya, na ụkwụ ya mmiri. Onye nchụaja ga-akpọ ha niile ọkụ n’ebe ịchụ
aja ahụ. Ọ bụ onyinye aja nsure ọkụ, onyinye e nyere site n’ọkụ nke dị ezi ụtọ nye
Onyenwe anyị.
10 “ ‘Ọ bụrụ na onyinye aja nsure ọkụ ahụ si n’igwe ewu na atụrụ, ọ ga-abụrịrị mkpi
maọbụ ebule na-enweghị nkwarụ. 11 Onye wetara ya ga-egbu ya n’ihu Onyenwe anyị
n’akụkụ ebe ịchụ aja chere ihu n’ugwu. Ụmụ ndị ikom Erọn, bụ ndị nchụaja, ga-
efesa ọbara ya n’akụkụ niile nke ebe ịchụ aja ahụ. 12 Mgbe nke a gasịrị, onye ahụ
wetara ya, ga-abọ ya. Onye nchụaja ga-ewere akụkụ ya niile, na isi ya, na abụba ya
tụkwasị ha n’elu nkụ ahụ na-enwu ọkụ dị n’ebe ịchụ aja. 13 Ma ihe ndị dị n’ime afọ
ya, na ụkwụ ya, ka onye ahụ ga-asa mmiri, tupu onye nchụaja eweta ha niile kpọọ
ha ọkụ n’ebe ịchụ aja. Ọ bụ onyinye aja nsure ọkụ, onyinye e nyere site n’ọkụ, nke
isisi ya dị ezi ụtọ nye Onyenwe anyị.
14 “ ‘Ọ bụrụ na onyinye ọ na-enye Onyenwe anyị dịka aja nsure ọkụ bụ site n’ụmụ
anụ ufe, ọ ghaghị ịbụ nduru, maọbụ nwa kpalakwukwu. 15 Onye nchụaja ga-ewebata
anụ ufe ahụ n’ebe ịchụ aja, tụbipụ isi ya, wụsa ọbara ya n’akụkụ ebe ịchụ aja. 16 Ọ
ga-ewepụ akpa nri ya, na ihe dị ya n’ime, tụnye ha n’akụkụ ọwụwa anyanwụ nke
ebe ịchụ aja ahụ; ebe a na-ekposa ntụ. 17 Ọ ga-ejide nku ya abụọ nyawaa ha, ma ọ
gaghị anyakapụcha ha. Mgbe ahụ, onye nchụaja ahụ ga-akpọ ya ọkụ n’elu ebe ịchụ
aja. Ọ bụ aja nsure ọkụ, onyinye e nyere site n’ọkụ, nke isisi ya dị Onyenwe anyị ezi
ụtọ.

## 2

*Aja mkpụrụ ọka*
1 “ ‘Mgbe onye ọbụla wetaara Onyenwe anyị onyinye mkpụrụ ọka, onyinye ya ga-
abụ nke ezi ụtụ ọka a kwọrọ nke ọma. Ha ga-awụkwasị ya mmanụ oliv, tinyekwa
ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n’elu ya, 2 ọ ga-ebutere ya ụmụ Erọn ndị nchụaja. Onye
nchụaja ga-ekpoju ụtụ ọka na mmanụ ahụ n’aka, tinyekwara ihe nsure ọkụ na-esi isi

* **1:3** 1:3 Aja nsure ọkụ Ọ bụ ụzọ anụ atọ ka a na-eji achụ aja nsure ọkụ, nke a na-adaba dịka aka si ruo onye ahụ na-achụ aja. Nke mbụ bụ ehi, nke dịrị ndị ọgaranya. Ọzọkwa, bụ ewu na atụrụ, ma banyere ndị ogbenye, ihe ha ga-eweta bụ nnụnụ nduru ma ọ bụ kpalakwukwu. Lev 1:3,10,14; 5:7; 12:8; Luk 1:24

ụtọ niile ahụ, kpọọ ihe ndị a ọkụ dịka oke ncheta* n'elu ebe ịchụ aja. Ọ ga-abụkwa
onyinye nsure ọkụ, nke na-esi isi ụtọ nye ONYENWE ANYỊ. 3 Ma nke fọdụrụ n'onyinye
ọka ahụ bụ nke Erọn na ụmụ ya. Ọ bụ oke dịkarịsịrị nsọ nke onyinye nsure ọkụ niile
echere n'ihu ONYENWE ANYỊ.
4 " 'Ọ bụrụ na onyinye mmadụ wetara bụ achịcha eghere n'ite e ji eghe ihe, ọ
ga-abụ nke e ji ezi ụtụ ọka a kwọrọ nke ọma mee. Ọ ga-abụ ogbe achịcha agwara
mmanụ oliv nke a na-ejighị ihe na-eko achịcha† mee, maọbụ achịcha mbadamba e
tere mmanụ nke a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee. 5 Ọ bụrụ na onyinye mmadụ
wetara bụ achịcha e ghere eghe, achịcha ahụ aghaghị ịbụ nke e mere site n'ezi ụtụ
ọka a kwọrọ nke ọma, nke a gwakọtara mmanụ, nke na-enweghị ihe na-eko achịcha
n'ime ya. 6 Nyawasịa ya, wụkwasị ya mmanụ n'elu, ọ bụkwa onyinye mkpụrụ ọka.
7 Ọ bụrụ na onyinye mkpụrụ ọka gị bụ ihe e siri n'ite, ọ ghaghị ịbụ ezi ụtụ ọka
a kwọrọ nke ọma, e tinyetụrụ mmanụ oliv. 8 Ị ga-ebute onyinye mkpụrụ ọka ahụ
bunye ya onye nchụaja. Ọ ga-eche ya n'ihu ONYENWE ANYỊ n'ebe ịchụ aja. 9 Onye
nchụaja ga-ekporo ụfọdụ n'aka dịka oke ncheta n'ime onyinye ọka ahụ, kpọọ ya ọkụ
n'elu ebe ịchụ aja dịka aja e surere n'ọkụ, nke isisi ya na-atọ ONYENWE ANYỊ ezi ụtọ.
10 Ma nke fọdụrụ n'onyinye ọka ahụ bụ nke Erọn na ụmụ ya. Ọ bụ oke dịkarịsịrị nsọ
nke onyinye nsure ọkụ niile echere n'ihu ONYENWE ANYỊ.
11 " 'Unu etinyela ihe na-eko ọka ọbụla n'onyinye mkpụrụ ọka unu na-enye
ONYENWE ANYỊ, n'ihi na unu ekwesighị ịkpọ ihe na-eko achịcha maọbụ mmanụ aṅụ
ọkụ n'onyinye nsure ọkụ unu na-enye ONYENWE ANYỊ. 12 Unu nwere ike nye ONYENWE
ANYỊ achịcha e ji ihe na-eko achịcha na mmanụ aṅụ mee n'oge onyinye owuwe
ihe ubi, ma a gaghị eme otu a n'oge onyinye ọchụchụ aja nsure ọkụ, nke na-esi
isi ụtọ. 13 Unu aghaghị itinye nnu‡ n'ime onyinye mkpụrụ ọka ọbụla unu na-enye.
Unu ahapụla ọgbụgba ndụ Chineke unu n'onyinye mkpụrụ ọka unu. Tinyenụ nnu
n'onyinye unu niile.
14 " 'Ọ bụrụ na onyinye mkpụrụ ọka ị na-ewetara ONYENWE ANYỊ bụ mkpụrụ mbụ
nke ubi gị, site n'ọka ọhụrụ gị weta ọka a sụrụ asụ, maọbụ nke a hụrụ n'ọkụ. 15 Tinye
ya mmanụ na ụda na-esi isi ụtọ. Ọ ga-abụ onyinye ọka. 16 Onye nchụaja ga-ewere
oke ncheta n'ime ọka ahụ a sụrụ asụ, nke a gwara mmanụ na ụda na-esi isi ụtọ, dịka
onyinye nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ.

# 3

*Aja Udo*

1 " 'Ọ bụrụ na onye ọbụla achọọ inye onyinye aja udo, o nwere ike jiri anụ ụlọ si
n'igwe ehi, oke ehi maọbụ nwunye ehi. Ma anụ ahụ ọ ga-ewebata n'ihu ONYENWE
ANYỊ aghaghị ịbụ ehi na-enweghị nkwarụ. 2 Onye ahụ wetara ya, ga-ebikwasị aka ya
n'isi anụ ahụ, gbuo ya n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute. Mgbe ahụ ụmụ Erọn ndị ikom, bụ ndị
nchụaja,* ga-efesa ọbara ya n'akụkụ niile nke ebe ịchụ aja. 3 Site n'onyinye aja udo,
ị ga-eweta onyinye nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ: abụba niile kpuchiri ihe dị n'ime
afọ ya, na abụba niile nke metụtara ha, 4 akụrụ ya abụọ na abụba nke dị n'elu ha ruo
n'akụkụ ukwu ya, na umeju ya na abụba kpuchiri umeju ya, nke ọ ga-ewepụ ya na
akụrụ ya. 5 Mgbe ahụ, ụmụ Erọn ga-esunye ha ọkụ n'elu aja nsure ọkụ a tụkwasịrị
n'osisi e sunyere ọkụ, ọ bụ onyinye nsure ọkụ, nke na-esi isi ụtọ nye ONYENWE ANYỊ.
6 " 'Ọ bụrụ na onyinye aja udo a na-achụrụ ONYENWE ANYỊ bụ site n'igwe ewu maọbụ
atụrụ, ọ ghaghị ịbụ mkpi maọbụ nne ewu na-enweghị ntụpọ. 7 Ọ bụrụ onyinye atụrụ,

* **2:2** 2:2 Nke nọchiri anya ụtụ ọka ahụ niile † **2:4** 2:4 Ihe na-eko achịcha Ọ bụ naanị n'oge aja udo na mmemme izu asaa, ka a na-etinye ihe na-eko achịcha n'ụtụ ọka a na-eweta. Lev 7:13; 23:17 ‡ **2:13** 2:13 Nnu Nnu na-echekwa ihe ka ọ ghara imebi. * **3:2** 3:2 Lev 1:5

onye ahụ ga-ewebata ya n’ihu ONYENWE ANYỊ. 8 Ọ ga-ebikwasị aka ya n’isi atụrụ ahụ,
gbuo ya n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute. Ndị nchụaja, ụmụ Erọn, ga-efesa ọbara ya n’akụkụ
niile nke ebe ịchụ aja ahụ. 9 Ị ga-esite n’onyinye aja udo a, weta onyinye nsure ọkụ
nye ONYENWE ANYỊ: abụba ya, na abụba niile dị n’ọdụdụ ya nke a ga-esite n’akụkụ
ọkpụkpụ azụ ya bepụta, na abụba kpuchiri ihe dị n’ime afọ ya; na abụba niile nke
metụtara ha, 10 na akụrụ ya abụọ, na abụba kpuchiri ha ruo n’akụkụ ukwu ya, na
umeju ya, na abụba kpuchiri ya; nke ọ ga-ewepụ ya na akụrụ ya. 11 Onye nchụaja
ga-akpọ ha ọkụ n’ebe ịchụ aja dịka ihe oriri, onyinye nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ.
12 “ ‘Ọ bụrụ na onye ọbụla eweta ewu dịka onyinye ọ na-eche n’ihu ONYENWE ANYỊ,
13 ọ ga-ebikwasị aka ya n’isi ewu ahụ, gbuo ya n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute. Ụmụ Erọn ndị
ikom ga-efesa ọbara ya n’akụkụ niile nke ebe ịchụ aja. 14 Ọ bụ site n’onyinye nke i
wetara ka ị ga-esi chee onyinye nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ: abụba niile kpuchiri
ihe dị n’ime afọ ya na abụba niile metụtara ha, 15 na akụrụ ya abụọ, na abụba
kpuchiri ha ruo n’akụkụ ukwu ya, na ihe kpuchiri umeju ya; nke ọ ga-ewepụ ya na
akụrụ ya. 16 Onye nchụaja ga-akpọ ha ọkụ n’elu ebe ịchụ aja dịka ihe oriri, onyinye
nsure ọkụ, nke na-esi isi ụtọ. Abụba niile bụ nke ONYENWE ANYỊ.
17 “ ‘Iwu ndị a ga-adịgide site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ. Unu ga-edebezu ya n’ebe ọbụla
unu bi. Unu agaghị eri abụba maọbụ ọbara ọbụla.’ ”†

# 4

*Aja mmehie, na usoro aja ndị ọzọ*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 2 “Gwa ụmụ Izrel okwu, sị ha, ‘Mgbe onye ọbụla
mehiere na-amaghị ama, megide ihe ọbụla ONYENWE ANYỊ nyere n’iwu:
3 “ ‘Ọ bụrụ na onye nchụaja e tere mmanụ emehie na-amaghị ama, si otu a weta
ikpe ọmụma n’isi ọha mmadụ. Ọ ga-ewetara ONYENWE ANYỊ otu oke ehi na-enweghị
ntụpọ dịka aja mmehie, n’ihi mmehie ahụ o mere. 4 Ọ ga-ewere oke ehi ahụ bịa n’ọnụ
ụzọ ụlọ nzute, n’ihu ONYENWE ANYỊ. Ọ ga-ebikwasị aka ya n’isi ya, gbuo ya n’ebe ahụ
n’ihu ONYENWE ANYỊ. 5 Mgbe ahụ, onye nchụaja e tere mmanụ ga-eburu ụfọdụ ọbara
oke ehi ahụ baa n’ime ụlọ nzute. 6 Ọ ga-edenye mkpịsịaka ya n’ime ọbara ahụ, fesa
ya ugboro asaa n’ihu ONYENWE ANYỊ, n’ihu akwa mgbochi nke ebe nsọ ahụ. 7 Onye
nchụaja ga-etekwasị ụfọdụ ọbara ahụ na mpi dị n’ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ ihe
na-esi isi ụtọ, n’ihu ONYENWE ANYỊ n’ime ụlọ nzute. Ọbara fọdụrụ n’oke ehi ahụ ka
ọ ga-awụsa n’ụkwụ ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ ahụ, n’ọnụ ụzọ ịba ụlọ nzute. 8 Ọ
ga-ewepụ abụba niile site n’oke ehi aja mmehie, abụba niile kpuchiri ihe dị n’ime afọ
ya na nke jikọtara ha, 9 na akụrụ ya abụọ na abụba kpuchiri ha ruo n’akụkụ ukwu
ya, na ihe kpuchiri umeju ya, nke ọ ga-ewepụ ya na akụrụ ya, 10 dịka e si ewepụ
abụba oke ehi e ji chụọ aja udo. Mgbe ahụ, onye nchụaja ga-akpọ ha ọkụ n’elu ebe
ịchụ aja nke aja nsure ọkụ. 11 Ma akpụkpọ anụ oke ehi ahụ na ahụ ya niile, ma isi
ya, na ụkwụ ya, na ihe dị n’ime afọ ya, na mgbịrị afọ ya, 12 ihe niile fọdụrụ n’oke ehi
ahụ, ka a ga-ebupu n’azụ ebe obibi ụmụ Izrel, ebe dị ọcha, ebe a na-ekpofu ntụ. Ebe
ahụ ka a ga-anọ kpọọ ya ọkụ, n’ọkụ a kwanyere n’ebe a na-ekpofu ntụ.
13 “ ‘Ọ bụrụ na nzukọ Izrel niile emehie na-amaghị ama, mee ihe ọbụla megidere ihe
ONYENWE ANYỊ nyere n’iwu nke a na-adịghị eme eme, ọ bụ ezie na ndị obodo amaghị
okwu a, mgbe ha ghọtara ikpe ọmụma ha 14 matakwa mmehie ha mehiere, nzukọ
ahụ aghaghị iweta nwa oke ehi dịka aja mmehie, duru ya chee ya n’ihu ụlọ nzute.
15 Ndị okenye nzukọ Izrel ga-ebikwasị aka* ha n’isi oke ehi ahụ n’ihu ONYENWE ANYỊ.
A ga-egbu ehi ahụ n’ihu Onyenwe anyị. 16 Mgbe ahụ, onye nchụaja e tere mmanụ
ga-ewere ụfọdụ n’ime ọbara ya baa n’ụlọ nzute. 17 Ọ ga-edenye mkpịsịaka ya n’ime

† **3:17** 3:17 Lev 7:25-26; 17:10-14. * **4:15** 4:15 Lev 8:14,22; Ọnụ 8:8-10

ọbara ahụ fesa ya ugboro asaa n'ihu ONYENWE ANYỊ, n'ihu akwa mgbochi ahụ. 18 Ọ
ga-ete ọbara ụfọdụ n'elu mpi nke dị n'ebe ịchụ aja nke dị n'ihu ONYENWE ANYỊ, n'ụlọ
nzute. Ọ ga-awụ ọbara nke fọdụrụ n'ụkwụ ala ala, n'ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ,
n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute. 19 Ọ ga-ewepụta abụba niile dị ya n'ahụ kpọọ ha ọkụ n'elu ebe
ịchụ aja. 20 Ọ ga-eme oke ehi ahụ ihe o mere oke ehi aja mmehie. N'ụzọ dị otu a,
onye nchụaja ga-ekpuchi mmehie ndị Izrel. A ga-agbagharakwa ha. 21 Emesịa, onye
nchụaja ga-eburu ozu oke ehi ahụ gaa n'azụ obodo kpọọ ya ọkụ n'ebe ahụ, dịka o
mere oke ehi nke mbụ. Nke a bụ aja mmehie n'ihi nzukọ Izrel.
22 " 'Mgbe otu n'ime ndịisi obodo mehiere na-amaghị ama, si otu a megide ihe
ONYENWE ANYỊ Chineke nyere n'iwu banyere ihe a na-agaghị eme, mgbe ọ ghọtara
ikpe ọmụma ya. 23 Ọ bụrụkwa na-eme ka ọ mata mmehie ya, ọ ghaghị iweta mkpi na-
enweghị nkwarụ dịka onyinye n'ihi mmehie ya. 24 Ọ ga-ebikwasị aka ya n'isi mkpi
ahụ. Gbuo ya n'ebe a na-egbu anụ aja nsure ọkụ, n'ihu ONYENWE ANYỊ. Ọ bụ aja
mmehie. 25 Mgbe ahụ, onye nchụaja ga-arụrụ ụfọdụ n'ime ọbara aja mmehie ahụ
na mkpịsịaka ya tee ya n'elu mpi ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ.† Nke fọdụrụ ka ọ
ga-awụpụ n'ụkwụ ala ala ebe ịchụ aja. 26 Ọ ga-akpọ abụba ya niile ọkụ n'ebe ịchụ
aja dịka o si kpọọ abụba anụ e ji chụọ aja udo ọkụ. N'ụzọ dị otu a, onye nchụaja
ga-ekpuchiri onyeisi ahụ mmehie ya. A ga-agbaghara ya.
27 " 'Ọ bụrụ na otu onye n'etiti ndị obodo ahụ emehie na-amaghị ama, mee ihe
megidere ihe ọbụla ONYENWE ANYỊ nyere n'iwu nke a na-adịghị eme eme, mgbe ha
ghọtara ikpe ọmụma ha, 28 ọ bụrụkwa na-amata mmehie ha mere, ha ga-eweta nne
ewu na-enweghị ntụpọ dịka onyinye n'ihi mmehie ya. 29 Ọ ga-ebikwasị aka ya n'elu
isi aja mmehie ahụ, e gbuo ya n'ebe a na-achụ aja nsure ọkụ. 30 Onye nchụaja ga-
ewere ụfọdụ ọbara ahụ na mkpịsịaka ya tee ya na mpi nke ebe ịchụ aja nke aja nsure
ọkụ, ọ ga-awụ ọbara fọdụrụ n'ụkwụ ala ala ebe ịchụ aja. 31 Ọ ga-ewepụ abụba ya
niile dịka a na-eme n'aja udo. Onye nchụaja ga-akpọ ha ọkụ n'ebe ịchụ aja, dịka ihe
na-esi isi ụtọ nye ONYENWE ANYỊ. N'ụzọ dị otu a, onye nchụaja a ga-ekpuchikwara ha
mmehie. A ga-agbagharakwa ha.
32 " 'Ma ọ bụrụ na mmadụ eweta otu atụrụ dịka onyinye n'ihi aja mmehie ya, ọ
ghaghị ịbụ nne atụrụ na-enweghị ntụpọ. 33 Ọ ga-eweta ya n'ebe a na-egbu anụ aja
nsure ọkụ. Ọ ga-ebikwasị ya aka n'isi, gbuo ya n'ebe ahụ, ka ọ bụrụ aja mmehie ya.
34 Onye nchụaja ga-ewere ụfọdụ ọbara anụ aja mmehie ahụ na mkpịsịaka ya, tee
ya na mpi dị n'ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ. Ọ ga-awụ ọbara fọdụrụ n'ụkwụ ala
ala nke ebe ịchụ aja. 35 Ha ga-ewepụ abụba ya niile, dịka a na-eme n'atụrụ aja udo.
Onye nchụaja ga-akpọ abụba ahụ ọkụ n'elu ebe ịchụ aja dịka onyinye nsure ọkụ a
chụrụ nye ONYENWE ANYỊ. N'ụzọ dị otu a, onye nchụaja ga-ekpuchikwara ha mmehie
n'ihi iwu ha dara. A ga-agbaghara ha mmehie ha.

# 5

1 " 'Ọ bụrụ na mmadụ ọbụla emehie n'ihi na ọ jụrụ ikwupụta mgbe ọ nụrụ ọkwa
amaara n'ọha maka ịgba ama banyere ihe ọ hụrụ maọbụ ihe ọ maara, ọ bụ onye
ikpe mara.
2 " 'Onye na-amaghị ama metụ ihe rụrụ arụ aka, dịka ozu anụ ọbụla iwu megidere,
maọbụ anụ ụlọ, maọbụ anụ ọhịa, maọbụ anụ ọbụla na-akpụ akpụ n'ala. Ọ ghọọla
onye rụrụ arụ, na onye ikpe mara. 3 Ma ọ bụrụ na ha emetụ ihe ọbụla rụrụ arụ
si n'ahụ mmadụ pụta aka, ihe ọbụla ga-eme ya ka ọ hapụ ịdị ọcha, ọ bụ ezie na
ha amaghị na ọ bụ ihe rụrụ arụ, mgbe ọ matara ya, ọ ga-abụ onye ikpe mara. 4 Ọ
bụrụ na mmadụ a ṅụọ iyi nzuzu, nke ga-akwagide ya ime ihe ọbụla maọbụ ihe dị
mma, maọbụ ihe dị njọ, mgbe onye ahụ ghọtara na ọ bụ iyi nzuzu ka ọ ṅụrụ, ọ

† 4:25 4:25 Lev 9:9

bụrụla onye ikpe mara. 5 Onye ọbụla sitere n'ụzọ dị otu a bụrụ onye ikpe mara, ga-
ekwupụta mmehie ya,* dịka o si dị. 6 Ọ ga-ewetara ONYENWE ANYỊ nne atụrụ, maọbụ
nne ewu site n'igwe ewu na atụrụ, dịka aja ikpe ọmụma maka mmehie ha mere.
Onye nchụaja ga-achụrụ ha aja mkpuchi mmehie maka mmehie ha.
7 " 'Ọ bụrụ na o nweghị ike iweta atụrụ, ọ ga-ewetara ONYENWE ANYỊ nduru abụọ,
maọbụ kpalakwukwu abụọ, dịka ihe ikpe ọmụma mmehie ha. Otu n'ime nnụnụ ndị
a ga-abụ maka aja mmehie, nke ọzọ ga-abụ maka aja nsure ọkụ. 8 Ọ ga-eweta ha
nye onye nchụaja. Onye ga-ewere nnụnụ nke mbụ chụọ aja mmehie. Ọ ga-atụbipụ
olu ya, kama ọ gaghị ekewapụcha isi nnụnụ ahụ site n'ahụ ya. 9 Ọ ga-efesa ụfọdụ
ọbara aja mmehie ahụ n'akụkụ ebe ịchụ aja, ma ọbara fọdụrụ ka ọ ga-awụsa n'ụkwụ
ala ala ebe ịchụ aja. Nke a ga-abụ aja mmehie. 10 Onye nchụaja ga-eji nnụnụ nke
ọzọ chụọ aja nsure ọkụ. Ọ ga-agbaso usoro e debere maka ịchụ aja nsure ọkụ.† Ọ
ga-ekpuchikwara ha mmehie ha mere. A ga-agbagharakwa ha.
11 " 'Ọ bụrụ na onye ahụ enweghị ike iweta nduru abụọ, maọbụ kpalakwukwu
abụọ, ọ ga-eweta iko ọka asaa a kwọrọ nke ọma ka ọ bụrụ onyinye aja mmehie. Ọ
gaghị etinye ya mmanụ oliv na ụda na-esi isi ụtọ, n'ihi na ọ bụ aja mmehie. 12 Ha
ga-ewere ya bịakwute onye nchụaja, onye ga-ekporo nke ga-eju ya aka ya dịka oke
ncheta. Kpọọ ya ọkụ n'ebe ịchụ aja nke onyinye nsure ọkụ e chere n'ihu ONYENWE
ANYỊ. Nke a ga-abụkwa aja mmehie ya. 13 N'ụzọ dị otu a, onye nchụaja ga-achụrụ
ya aja ikpuchi mmehie ya niile. A ga-agbagharakwa ya. Ụtụ ọka fọdụrụ ga-abụ nke
onye nchụaja, dịka e si mee ya n'aja onyinye mkpụrụ ọka.' "

### *Aja ikpe ọmụma*

14 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 15 "Mgbe onye ọbụla sitere na-amaghị ama mehie,
merụọ ihe nsọ niile nke ONYENWE ANYỊ, bụrụ onye nke n'ekwesighị ntụkwasị obi nye
ONYENWE ANYỊ. Ọ ga-ewetara ONYENWE ANYỊ otu ebule na-enweghị ntụpọ site n'igwe
anụ, dịka ọnụahịa ya si dị n'ọlaọcha, n'usoro shekel nke ebe nsọ.‡ Ọ bụ aja ikpe
ọmụma. 16 Ọ ga-akwụghachikwa ụgwọ ihe nsọ ndị ahụ niile nke ọ na-emezughị. Ọ
ga-atụkwasị otu ụzọ n'ime ụzọ ise nke ọnụahịa ya n'elu ya, were ha niile nye onye
nchụaja. Onye nchụaja ahụ ga-ewere ebule ahụ na ihe ndị a chụọrọ ya aja mkpuchi
mmehie, n'ihi ikpe ọmụma ya. A ga-agbagharakwa ya.
17 "Ma ọ bụrụ na mmadụ ọbụla emehie, mee ihe ọbụla megidere iwu ọbụla
ONYENWE ANYỊ nyere, ọ bụ ezie na e mere mmehie a na-amaghị ama, ma ikpe mara
ha, ọ ga-atakwa ahụhụ soo ya. 18 Ọ ga-ewetara onye nchụaja ihe aja ikpe ọmụma
nke bụ otu ebule na-enweghị ntụpọ site n'igwe anụ, nke ọnụahịa ga-abụ ihe o ruru.
N'ụzọ dị otu a, onye nchụaja ga-achụrụ ya aja mkpuchi mmehie n'ihi ihe ọjọọ o mere
na-amaghị ama. A ga-agbaghara ya mmehie ya. 19 Ọ bụ aja ikpe ọmụma, n'ihi na
onye mehiere megide ONYENWE ANYỊ ka ọ bụ."

# 6

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 2 "Ọ bụrụ na onye ọbụla emehie bụrụ onye na-
ekwesighị ntụkwasị obi nye ONYENWE ANYỊ, site n'iduhie onye agbataobi ya banyere
ihe e tinyere ya n'aka idebe, maọbụ izunarị mmadụ ihe, maọbụ iji aghụghọ nara
mmadụ ibe ya ihe; 3 maọbụ site n'ijide ihe furu efu nke ọ chọtara ghaa ụgha banyere
ya. Ma ọ bụrụ na ha a ṅụọ iyi na ha ejighị ya, maọbụ gbasara ụdị mmehie mmadụ
pụrụ ime. 4 Mgbe ha mehiere n'ụzọ ọbụla n'ime ụzọ ndị a niile, ghọta na ikpe mara
ha. Ha aghaghị inyeghachi onye nwe ihe ahụ ha zuru n'ohi, maọbụ ihe ha pụnara
n'ike, maọbụ ihe e nyere ya idebe, ma ọ bụkwanụ ihe ahụ furu efu ọ chọtara, 5 maọbụ
ihe ọbụla ọ ṅụrụ n'iyi ụgha. Ọ ga-akwụghachi ihe ndị a niile n'uju, tụkwasịkwa otu

* 5:5 5:5 Ọnụ 5:7 † 5:10 5:10 Lev 1:14-17 ‡ 5:15 5:15 Ya bụ ọnụ ego, dịka ndị ikpe kpebiri ya.

ụzọ n’ime ụzọ ise* nke ọnụahịa ihe ahụ, nyeghachi ya onye nwe ya, n’ụbọchị ahụ
ọ ga-eweta aja ikpe ọmụma ya. 6 Ọ ga-ewetara onye nchụaja n’ihu ONYENWE ANYỊ,
aja ikpe ọmụma ya nke bụ ebule na-enweghị ntụpọ site n’igwe anụ, nke ọnụahịa
ya ga-abụ ihe ahụ e gbubiri iji ịkwụ ụgwọ mmehie. 7 N’ụzọ dị otu a, onye nchụaja
ga-ekpuchikwara ya mmehie ya n’ihu ONYENWE ANYỊ, a ga-agbaghakwara ha n’ihi ihe
ọbụla ha mere nke ikpe ji maa ha.”

### *Aja nsure ọkụ*

8 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 9 “Nye Erọn na ụmụ ya ndị ikom iwu sị:
‘Ndị a bụ usoro iwu metụtara aja nsure ọkụ. Aja nsure ọkụ ga-adịgide n’ekwu ahụ
dị n’ebe ịchụ aja site n’abalị ruo n’ụtụtụ. A ga-akwanyekwa ọkụ na-adị n’ebe ịchụ
aja hapụ ya ka o nwuo abalị niile. 10 Mgbe chi bọrọ, onye nchụaja ga-eyiri uwe ime
ahụ ya nke akwa ọcha, nakwa uwe elu ahụ ya, gaa kpopu ntụ dị n’ekwu nke ebe
ịchụ aja nsure ọkụ ahụ, wụsa ha n’akụkụ ebe ịchụ aja ahụ. 11 Mgbe o mesịrị nke a, ọ
ga-agbanwe uwe ya, kporo ntụ ahụ, buru ya pụọ n’azụ ogige ahụ gaa wufuo ya n’ebe
ahụ e mere ka ọ dị ọcha. 12 Ọkụ dị n’ebe ịchụ aja ga na-enwu mgbe niile, a gaghị
ekwe ka ọ nyụọ. N’ụtụtụ niile onye nchụaja ga-akwanye ya nkụ ọhụrụ, tụkwasịkwa
aja nsure ọkụ n’elu ya surekwaa abụba aja udo n’elu ya. 13 Ọkụ ga-enwugide n’ebe
ịchụ aja mgbe niile. A gaghị ekwe ka ọ nyụọ mgbe ọbụla.’

### *Aja mkpụrụ ọka*

14 “ ‘Ndị a bụ usoro iwu gbasara onyinye mkpụrụ ọka. Ụmụ Erọn ndị ikom ga-
eguzo n’ihu ebe ịchụ aja iche ya n’ihu ONYENWE ANYỊ. 15 Mgbe ahụ, onye nchụaja
ga-ekpoju ọka ahụ a kwọrọ nke ọma, na ụfọdụ mmanụ oliv, tinyere ụda na-esi isi ụtọ
n’aka ya dịka oke ncheta. Kpọọ ya ọkụ n’elu ebe ịchụ aja ka ọ nọchie anya onyinye
ahụ niile, nke isisi ya dị ONYENWE ANYỊ ezi mma. 16 †Erọn na ụmụ ya ndị ikom ga-eri
nke fọdụrụnụ. Ma a ga-eri ya na-ejighị ihe na-eko achịcha, n’ime ebe nsọ, n’ogige
ụlọ nzute ka a ga-anọ eri ya. 17 Agaghị etinye ya ihe na-eko achịcha ma a na-eghe
ya. Enyela ya ka ọ bụrụ oke ruuru ha site n’onyinye nsure ọkụ e chere n’ihu m.
Ha bụkwa ihe dịkarịsịrị nsọ, dịka aja ikpe ọmụma na aja mmehie. 18 Nwoke ọbụla
sitere n’agbụrụ Erọn, onye nchụaja, nwere ike iri ya. Ọ bụ oke ọ ga na-eketa site
n’onyinye nsure ọkụ niile echere n’ihu ONYENWE ANYỊ ruo n’ọgbọ niile na-abịa. Ihe
ọbụla metụrụ ha ahụ ga-aghọ ihe dị nsọ.’ ”
19 ONYENWE ANYỊ gwakwara Mosis sị, 20 “Nke a bụ aja Erọn na ụmụ ya ndị ikom
ga-achụrụ ONYENWE ANYỊ n’ụbọchị a ga-ete ya mmanụ. Ọ ga-abụ ọtụtụ ruru lita abụọ
nke ọka dị ezi mma dịka aja onyinye a na-achụ mgbe niile. Ha ga-enye otu ọkara
ya n’ụtụtụ, nye nke ọzọ n’uhuruchi. 21 Ha ga-etinye ya mmanụ, ghee ya n’ite. Ị ga-
ebubata ya mgbe a gwọkọrọ ya nke ọma, chee ya dịka aja ọka a nyawasịrị anyawasị
nke isisi ya dị ONYENWE ANYỊ ezi mma. 22 Nwa nwoke ahụ nke ga-anọchi ya dịka
onye nchụaja e tere mmanụ bụ onye ga-akwado ya. Ọ bụ oke ruuru ONYENWE ANYỊ
ebighị ebi, bụrụkwa nke a ga-esure ọkụ kpamkpam. 23 Onyinye mkpụrụ ọka ọbụla
nke onye nchụaja nyere ka a ga-akpọ ọkụ kpamkpam. A gaghị eri ya eri.”

### *Aja mmehie*

24 ONYENWE ANYỊ sịrị Mosis, 25 “Gwa Erọn na ụmụ ya ndị ikom, sị, ‘Ndị a bụ usoro
iwu unu ga-edebe banyere aja mmehie. A ga-egbu anụ aja mmehie n’ihu ONYENWE
ANYỊ, n’ebe ahụ a na-egbu anụ aja nsure ọkụ. Ọ bụ ihe dịkarịsịrị nsọ. 26 Onye nchụaja
chụrụ ya ga-eri anụ ya, ọ bụ n’akụkụ ebe nsọ ahụ, ya bụ n’ogige ụlọ nzute ahụ ka a
ga-anọ rie ya. 27 Ihe ọbụla metụrụ anụ nke ọbụla aka, ga-aghọ ihe dị nsọ. Ọ bụrụkwa
na ọbara ya efesa n’uwe ọbụla, ị ga-asụ uwe ahụ n’akụkụ ebe nsọ ahụ. 28 A ghaghị

* **6:5** 6:5 Ọnụ 5:7 † **6:16** 6:16 Lev 2:3

itiwa ite aja e ji sie anụ ahụ. Ọ bụrụkwanụ n'ite bronz ka e siri ya, a ga-asa ite ahụ
mmiri nke ọma, saa ya ka ọ dị ezi ọcha. 29 Nwoke ọbụla a mụrụ n'ezinaụlọ ndị
nchụaja nwere ike iri anụ ahụ, ọ bụ ihe dịkarịsịrị nsọ. 30 Ma a gaghị eri anụ aja
mmehie ọbụla, bụ nke e webatara ọbara ya n'ime ụlọ nzute maka ikpuchi mmehie
n'Ebe nsọ ahụ. Aghaghị ịkpọ ya ọkụ.

# 7

### *Aja ikpe ọmụma*

1 " 'Ndị a bụ usoro iwu banyere aja ikpe ọmụma, bụ nke dịkarịsịrị nsọ. 2 A ga-egbu
anụ aja ikpe ọmụma ahụ n'ebe a na-egbu anụ aja nsure ọkụ, were ọbara ya fesaa
n'akụkụ niile nke ebe ịchụ aja. 3 Abụba ya niile ka a ga-enye dịka onyinye: abụba dị
n'ọdụdụ ya, na abụba niile kpuchiri ihe dị n'ime afọ ya, 4 na akụrụ abụọ ya, na abụba
nke dị n'elu ha, ruo n'akụkụ ukwu ya, na umeju ya, na abụba kpuchiri ya. 5 Onye
nchụaja ga-akpọ ha ọkụ n'elu ebe ịchụ aja dịka onyinye nsure ọkụ nye Onyenwe
anyị. Ọ bụ aja ikpe ọmụma. 6 Nwoke ọbụla a mụrụ n'ezinaụlọ ndị nchụaja nwere
ike iri anụ fọdụrụ na ya, maọbụ n'ebe nsọ ka aghaghị ịnọ rie ya. Ọ bụ ihe dịkarịsịrị
nsọ.
7 " 'Otu iwu a metụtakwara aja ikpe ọmụma na aja mmehie. Anụ ọbụla fọdụrụ
ga-abụ nke onye nchụaja ahụ nke ji ha chụọ aja mkpuchi mmehie. Oke ya ka ọ bụ.
8 Onye nchụaja nke chụrụ aja nsure ọkụ n'isi onye ọbụla, ka ọ dịrị iwere akpụkpọ
niile si n'anụ ahụ o ji chụọ aja nye onwe ya. 9 A ga-ebunye onye nchụaja chụrụ
aja mkpụrụ ọka nke e ji ụtụ ọka chụọ, ụtụ ọka fọdụrụ. Otu a ka ọ ga-adịkwa n'aja
achịcha ọbụla a nụrụ anụ, maọbụ nke e siri esi, maọbụ nke e ghere eghe. Ihe ọbụla
fọdụrụ ga-abụ nke onye nchụaja ahụ. 10 Aja mkpụrụ ọka ọbụla, ma nke e tinyere
mmanụ, ma nke a na-etinyeghị mmanụ, nke fọdụrụ ga-abụ nke ụmụ ndị ikom Erọn.

### *Aja udo*

11 " 'Ndị a bụ usoro iwu gbasara aja udo nke mmadụ ọbụla nwere ike chụọrọ
Onyenwe anyị n'aja:
12 " 'Ọ bụrụ na ha enye ya dịka aja ekele, tinyere aja ekele a ha ga-eweta ogbe
achịcha a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee, nke a gwakọtara ya na mmanụ oliv,
na mbadamba achịcha a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee, nke e tere mmanụ n'elu
ya, nakwa achịcha e ji ọka a kwọrọ nke ọma a gwakọtara ya na mmanụ n'ime ya.
13 Ọ ga-ewetakwa onyinye achịcha ọzọ nke e ji ihe na-eko achịcha, ya bụ, yiist mee,
tinyere aja udo nke ekele ha. 14 Ha ga-esikwa na ya weta otu n'ime onyinye ọbụla,
chee n'ihu Onyenwe anyị, dịka onyinye. Ọ bụ nke ndị nchụaja ahụ na-efesa ọbara
anụ e ji chụọ aja udo n'elu ebe ịchụ aja. 15 Ma anụ ahụ eji chụọ aja onyinye udo nke
ekele, ka a ga-eri n'otu ụbọchị ahụ e ji ha chụọ aja. O nweghị nke a ga-ahapụ ka ọ
bọọ chi.
16 " 'Ma ọ bụrụ na onyinye mmadụ wetara bụ onyinye afọ ofufu, maọbụ onyinye o
wetara n'ihi nkwa o kwere, a ga-eri anụ aja ahụ n'ụbọchị ahụ a chụrụ ya, nweekwa
ike rie nke fọdụrụ ma chi bọọ. 17 Ma anụ ọbụla fọdụrụ n'ime anụ aja ahụ, nke a
na-erichapụghị n'ụbọchị nke abụọ ahụ ka a ga-akpọ ọkụ. 18 Ọ bụrụ na e rie anụ aja
udo ahụ n'ụbọchị nke atọ, a gaghị anabata ya. A gaghị agụnyere ya onye ahụ wetara
ya n'ihi na ihe rụrụ arụ ka ọ bụ. Onye ọbụla riri ya ga-abụ onye ikpe mara.
19 " 'Anụ ọbụla nke metụrụ ihe rụrụ arụ aghọọla ihe na-adịghị ọcha. A gaghị eri ya.
A ga-akpọ ya ọkụ. Ma n'ebe anụ ndị ọzọ dị, onye ọbụla e mere ka ọ dị ọcha nwere
ike iri ya. 20 A ga-esite n'etiti ndị m kewapụ onye ọbụla riri anụ e ji chụọ aja udo nye
Onyenwe anyị mgbe onye ahụ nọ n'ọnọdụ adịghị ọcha. 21 Onye ọbụla metụrụ ihe
ọbụla rụrụ arụ aka, ma ịrụ arụ ahụ o si na mmadụ, ma o si n'anụ ọhịa, ma o si n'ihe

ọbụla ọzọ, a ga-esite n’etiti ndị ya kewapụ ya ma ọ bụrụ na onye ahụ anọrọ n’ọnọdụ
ahụ rie anụ e ji chụọ aja udo nye ONYENWE ANYỊ.’ ”

*Iwu megidere iri abụba na ọbara*

22 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 23 “Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, ‘Unu
erila abụba ehi, maọbụ nke ewu, maọbụ nke atụrụ. 24 Abụba anụ ọbụla nwụrụ anwụ
maọbụ nke anụ ọhịa gburu adịghị mma oriri. E nwere ike jiri ha mee ihe ọzọ. 25 A
ga-ekewapụ mmadụ ọbụla site n’etiti ndị ya, bụ onye na-eri abụba anụmanụ nke
a ga-esite na ya chee onyinye nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ. 26 Ọzọkwa, unu erila
ọbara nnụnụ maọbụ nke anụmanụ n’ebe ọbụla unu bi.* 27 Onye ọbụla riri ọbara ka
a ga-ekewapụ site n’etiti ndị ya.’ ”

*Oke ndị nchụaja*

28 ONYENWE ANYỊ gwakwara Mosis sị, 29 “Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, ‘Onye ọbụla
wetaara ONYENWE ANYỊ onyinye aja udo aghaghị iweta ụfọdụ n’ime onyinye ahụ dịka
onyinye pụrụ iche nye Onyenwe anyị. 30 Ha ga-eji aka ha chee onyinye nsure ọkụ
ahụ n’ihu ONYENWE ANYỊ. Ha ga-eweta abụba ahụ, ya na obi anụ, fufee obi anụ ahụ
n’ihu ONYENWE ANYỊ dịka aja mfufe. 31 Onye nchụaja ga-akpọ abụba ahụ ọkụ n’ebe
ịchụ aja, ma obi anụ ahụ ga-abụ nke Erọn na ụmụ ya ndị ikom. 32 Unu ga-enye
onye nchụaja apata aka nri nke anụ aja udo ahụ, dịka onyinye. 33 Nwa Erọn, onye
ji ọbara na abụba chụọ aja udo ahụ ga-ewere apata aka nri ya dịka oke ruuru ya.
34 Site n’onyinye ụmụ Izrel na-enye n’oge aja udo, ewerela m obi anụ ahụ a na-efufe
efufe, na apata anụ a na-eche n’ihu m nye Erọn, onye nchụaja na ụmụ ya ndị ikom
ka ha bụrụ oke ruuru ha mgbe ọbụla ụmụ Izrel na-achụ aja udo.’ ”†
35 Nke a bụ akụkụ anụ ahụ e ji chụọ aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ, nke e
nyekwara Erọn na ụmụ ya ndị ikom n’ụbọchị ahụ e chere ha n’ihu ONYENWE ANYỊ
ijere ya ozi dịka ndị nchụaja. 36 N’ihi na n’ụbọchị ahụ e tere ha mmanụ ka ONYENWE
ANYỊ nyere ụmụ Izrel iwu sị ha nye Erọn na ụmụ ya ndị ikom oke ndị a oge niile, site
n’ọgbọ ruo n’ọgbọ.
37 Ndị a bụ usoro iwu metụtara aja nsure ọkụ, na aja mkpụrụ ọka, na aja mmehie,
na aja ikpe ọmụma, na onyinye ido nsọ, na aja udo. 38 ONYENWE ANYỊ nyere Mosis
iwu ndị a n’ugwu Saịnaị n’ụbọchị ahụ o nyere ụmụ Izrel iwu sị ha, wetara ONYENWE
ANYỊ onyinye n’ọzara Saịnaị.

# 8

*Ido Erọn na ụmụ ya nsọ*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 2 “Kpọta Erọn na ụmụ ya ndị ikom, chịtakwa uwe
ha, weta mmanụ nsọ, oke ehi nke aja mmehie na ebule abụọ ahụ, na nkata achịcha
a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee. 3 Kpọkọtaa ọgbakọ ụmụ Izrel niile ka ha bịa
n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute.” 4 Mosis mere ihe ONYENWE ANYỊ gwara ya ka o mee. Ọgbakọ
ụmụ Izrel zukọtara n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ.
5 Mosis gwara ọgbakọ ahụ sị, “Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ nyere n’iwu ka e mee.”
6 Mgbe ahụ, Mosis kpọpụtara Erọn na ụmụ ya ndị ikom n’ihu, jiri mmiri saa ha ahụ.
7 O yikwasịrị Erọn uwe ime ahụ, kee ya ihe okike a na-eke n’ukwu, yikwasịkwa ya
uwe mwụda na efọọd ahụ, jiri ihe okike ahụ a chọrọ mma kegidesie efọọd ahụ ike
n’ahụ ya. 8 O tụkwasịrị ya ihe igbochi obi ahụ n’ahụ, tinye Urim na Tumim n’ime
ihe igbochi obi ahụ. 9 Ọ tụhịkwara akwa ike n’isi ahụ n’isi Erọn, tinye n’ihu akwa
ike n’isi ahụ, okpu nsọ e ji ọlaedo kpụọ, nke bụ akara ido nsọ, dịka ONYENWE ANYỊ si
nye Mosis n’iwu.

* **7:26** 7:26 Jen 9:4 † **7:34** 7:34 Ọpụ 29:27

10 Mgbe ahụ, Mosis weere mmanụ nsọ ahụ tee n'ụlọ nzute ahụ, na n'ihe niile dị
n'ime ya, ido ha nsọ. 11 Ọ fesakwara ụfọdụ n'ime mmanụ ahụ ugboro asaa n'ebe
ịchụ aja, fesakwa ya ugboro asaa n'elu ngwongwo niile dị n'ebe ịchụ aja, na n'efere
e ji asa ihe, na ụkwụ ya, ido ha nsọ. 12 Ọ wụsara Erọn ụfọdụ mmanụ nsọ ahụ n'isi,
tee ya mmanụ, n'ihi ido ya nsọ. 13 Ọ kpọtara ụmụ ndị ikom Erọn nso, o yikwasịrị
ha uwe ime ahụ, kee ha ihe okike nke ukwu, kekwasị ha ihe okike n'isi, dịka iwu
Onyenwe anyị nyere Mosis si dị.

14 Ọ kpụtara oke ehi e ji achụ aja mmehie, mee ka Erọn na ụmụ ya ndị ikom
bikwasị aka ha n'elu isi ya. 15 Mosis gburu oke ehi ahụ, were ụfọdụ n'ime ọbara
ahụ, jiri mkpịsịaka ya rụta ọbara tee na mpi niile dị n'ebe ịchụ aja, ido ebe ịchụ aja
ahụ nsọ. Ọ wụpụrụ ọbara nke fọdụrụ n'ụkwụ ala ala nke ebe ịchụ aja ahụ. Otu a ka
o si doo ya nsọ, ikpuchiri ya mmehie. 16 Mosis wekwara abụba niile dị gburugburu
ihe dị n'ime afọ ehi ahụ, mba-umeju nke umeju ya, akụrụ abụọ ya na abụba dị n'elu
ha, kpọọ ya ọkụ n'ebe ịchụ aja. 17 Ma oke ehi ahụ, akpụkpọ ya, anụ ya na mgbịrị
afọ ya, ka ọ kpọrọ ọkụ n'azụ ọmụma ụlọ ikwu ahụ dịka Onyenwe anyị nyere Mosis
n'iwu.

18 O weere ebule ahụ, chee n'ihu Onyenwe anyị, dịka aja nsure ọkụ. Erọn na ụmụ
ya ndị ikom bikwasịrị aka ha n'elu isi ya. 19 Mgbe ahụ, Mosis gburu ebule ahụ, fesa
ọbara ya n'akụkụ niile nke ebe ịchụ aja. 20 Ọ bọwasịrị ebule ahụ ntakịrị ntakịrị, kpọọ
isi ya, iberibe anụ ya na abụba ya ọkụ. 21 Ọ sachara ihe dị n'ime afọ ya na ụkwụ
ya niile mmiri, kpọọ ebule ahụ niile ọkụ n'ebe ịchụ aja. N'ihi na ọ bụ aja nsure ọkụ
nke isisi ya dị Onyenwe anyị ezi mma, n'ihi na ọ bụ dịka Onyenwe anyị nyere Mosis
n'iwu.

22 O kpụpụtara ebule nke ọzọ, bụ ebule nke ido nsọ, Erọn na ụmụ ya ndị ikom
bikwasịrị aka ha n'elu isi ya. 23 Mgbe ahụ, Mosis gburu ya, were ụfọdụ n'ime ọbara
ya tee Erọn n'ọnụ ntị aka nri, na n'isi mkpụrụ aka nke aka nri ya, na n'isi mkpụrụ
ụkwụ nke aka nri ya. 24 Mosis kpọtara ụmụ ndị ikom Erọn nso, weere ụfọdụ ọbara
ahụ tee n'ọnụ ntị aka nri ha, na n'isi mkpụrụ aka nke aka nri ha, na n'isi mkpụrụ
ụkwụ nke aka nri ha. O fesakwara ọbara n'akụkụ niile nke ebe ịchụ aja ahụ. 25 O
weere abụba ya, akụkụ ọdụdụ ya nwere abụba, na abụba niile nke kpuchiri ihe dị
n'ime afọ ya, na mba-umeju nke dị n'umeju ya, akụrụ ya abụọ na abụba ha, na apata
aka nri ya 26 O sitere na nkata achịcha ahụ a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee, nke
dị n'ihu Onyenwe anyị, wepụta otu ogbe achịcha, na otu ogbe achịcha a gwakọtara
mmanụ oliv, na otu mbadamba ogbe achịcha, tụkwasị ha n'elu abụba ndị ahụ, na
n'elu apata aka nri ahụ. 27 O tinyere ihe ndị a niile n'aka Erọn na ụmụ ya ndị ikom,
ha fufere ha n'ihu Onyenwe anyị dịka aja mfufe. 28 Mosis naara ya site n'aka ha,
kpọọ ha ọkụ n'elu ebe ịchụ aja, ya na aja nsure ọkụ, ka ọ bụrụ aja ido nsọ nke isisi
ya dị ezi mma, onyinye nsure ọkụ nye Onyenwe anyị. 29 Mosis werekwara obi ebule
ido nsọ ahụ, fufee ya n'ihu Onyenwe anyị, dịka aja mfufe, dịka Onyenwe anyị nyere
n'iwu. Nke a bụ oke Mosis.

30 Mgbe ahụ, Mosis weere ụfọdụ n'ime mmanụ nsọ ahụ, na ụfọdụ n'ime ọbara ahụ
dị n'ebe ịchụ aja fesa ya Erọn na uwe ya, fesakwa ya ụmụ ndị ikom Erọn n'uwe ha.
Otu a ka o si doo Erọn na uwe ya, na ụmụ ya ndị ikom na uwe ha nsọ.

31 Mgbe ahụ, Mosis gwara Erọn na ụmụ ya ndị ikom sị, "Sienụ anụ ahụ n'ọnụ ụzọ
ụlọ nzute. Nọrọkwanụ n'ebe ahụ rie ya na achịcha ahụ dị n'ime nkata onyinye ido
nsọ, dịka a gwara m, sị, 'Erọn na ụmụ ya ndị ikom ga-eri ya.' 32 Ihe ọbụla fọdụrụ na
anụ ahụ na achịcha ahụ, ka unu ga-akpọ ọkụ." 33 Ọ sịrị ha: "Unu esikwala n'ọnụ ụzọ
ụlọ nzute a pụọ ruo ụbọchị asaa, tutu ruo mgbe ụbọchị ido nsọ unu zuruoke, n'ihi
na ido nsọ unu ga-anọ ụbọchị asaa. 34 Ihe niile e mere n'ụbọchị taa bụ ihe Onyenwe
anyị nyere n'iwu, banyere ịchụ aja maka mkpuchi mmehie unu." 35 Unu aghaghị

ịnọgide n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute ehihie na abalị ụbọchị asaa, mezuokwa ihe ONYENWE
ANYỊ nyere n’iwu, ka unu ghara ịnwụ. N’ihi na nke a bụ iwu e nyere m.
36 Ya mere, Erọn na ụmụ ya ndị ikom mezuru ihe niile dịka ONYENWE ANYỊ si nye
n’iwu site n’ọnụ Mosis.

# 9

*Mbido ọrụ ndị nchụaja*

1 N’ụbọchị nke asatọ, Mosis kpọrọ Erọn na ụmụ ya ndị ikom, na ndị okenye Izrel.
2 Ọ gwara Erọn sị, “Site n’ime igwe ehi were nwa oke ehi ị ga-eji chụọ aja mmehie.
Werekwa ebule na-enweghị ntụpọ ị ga-eji chụọ aja nsure ọkụ, nke m ga-eche n’ihu
ONYENWE ANYỊ. 3 Ọ gwakwara ụmụ Izrel sị ha, ‘Họrọnụ mkpi a ga-eji chụọ aja mmehie,
na nwa ehi, na nwa atụrụ na-enweghị ntụpọ, ndị gbara naanị otu afọ, a ga-eji chụọ
aja nsure ọkụ, 4 na ehi, na ebule a ga-eji chụọ aja udo n’ihu ONYENWE ANYỊ, tinyere
mkpụrụ ọka a gwara mmanụ. N’ihi na taa ka ONYENWE ANYỊ ga-eme ka unu hụ ya
anya.’ ”
5 Ha wetara ihe ndị a niile bịa n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute dịka Mosis nyere n’iwu. Ọgbakọ
ụmụ Izrel niile bịara nso guzo n’ihu ONYENWE ANYỊ. 6 Mgbe ahụ, Mosis sịrị ha, “Ihe
ndị a bụ ihe ONYENWE ANYỊ nyere unu n’iwu idebe, ka ebube ya si otu a pụta ìhè
n’ihu unu.”
7 Mosis sịrị Erọn, “Bịa nso n’ebe ịchụ aja. Chụọ aja mmehie, na aja nsure ọkụ nke
a ga-eji kpuchie mmehie gị na mmehie ndị ahụ niile. Chụọ aja onyinye dịrị ndị ahụ,
maka ikpuchiri ha mmehie ha, dịka ONYENWE ANYỊ nyere n’iwu.”
8 Erọn bịara nso n’ebe ịchụ aja, gbuo nwa ehi ahụ ka ọ bụrụ aja mmehie nke ya.
9 Ụmụ Erọn buteere ya ọbara ehi ahụ. O tinyere mkpịsịaka ya n’ime ọbara ahụ tee ya
na mpi dị n’ebe ịchụ aja. Ọ wụrụ ọbara fọdụrụ n’ụkwụ ala ala ebe ịchụ aja ahụ. 10 Ọ
kpọrọ abụba ya, na akụrụ ya abụọ, na ihe kpuchiri umeju si n’aja mmehie ahụ ọkụ
n’ebe ịchụ aja dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis iwu. 11 Ma anụ ahụ ya, na akpụkpọ
ya, ka ọ kpọrọ ọkụ n’azụ ebe obibi.
12 Emesịa, o gburu anụ e wetara maka aja nsure ọkụ ahụ. Ụmụ ya ndị ikom nyere
ya ọbara anụ ahụ, nke o fesara gburugburu ebe ịchụ aja. 13 Ha nyefere ya aja nsure
ọkụ ahụ n’aka n’otu ha sị bọọ ya, tinyere isi ya. Ọ kpọrọ ihe niile ọkụ n’ebe ịchụ aja.
14 Ọ sachara ihe dị n’ime afọ ya, na ụkwụ ya, kpọọ ha ọkụ, dịka aja nsure ọkụ.
15 Emesịa, Erọn wetara onyinye nke dị maka ndị mmadụ, o were ewu ahụ bụ maka
mmehie ndị mmadụ, gbuo ya, were chụọ aja mmehie, dịka o mere nke mbụ.
16 Ọ chụkwara aja nsure ọkụ n’usoro dịka iwu e nyere si dị. 17 O webatakwara aja
mkpụrụ ọka ahụ, kporo nke juru ya aka, kpọọ ya ọkụ n’elu ebe ịchụ aja, tinyekwara
aja nsure ọkụ nke ụtụtụ ahụ.
18 N’ikpeazụ, o gburu ehi na ebule ahụ, nke bụ aja udo ndị Izrel. Ụmụ Erọn buteere
ya ọbara nke o fesara gburugburu ebe ịchụ aja. 19 Ọ chịkọtara abụba niile dị ehi na
ebule ndị ahụ n’ahụ, na ọdụdụ ha, na abụba kpuchiri ihe ime ha, ya na akụrụ ha, na
abụba kpuchiri umeju ha, 20 tụkwasị ha n’obi anụ ndị ahụ, kpọọ ha ọkụ n’ebe ịchụ
aja. 21 Mgbe ahụ, Erọn fufere, dịka onyinye mfufe, obi anụ ahụ, na apata aka nri ha
n’ihu ONYENWE ANYỊ dịka Mosis nyere n’iwu.
22 Erọn weliri aka ya elu n’ebe ụmụ Izrel nọ, gọzie ha. Emesịa, mgbe ọ chụchara
aja mmehie, na aja nsure ọkụ na aja udo, o sitere n’ebe ịchụ aja ahụ rịdata.
23 Mosis na Erọn bara n’ime ụlọ nzute. Mgbe ha pụtara, ha gọziri ọha mmadụ
ahụ. Mgbe ahụ kwa, ebube ONYENWE ANYỊ pụtara ìhè nye mmadụ niile n’ọgbakọ
ahụ. 24 Ọkụ sitekwara n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ daa, rechapụ aja nsure ọkụ ahụ, na
abụba ahụ dị n’ebe ịchụ aja. Mgbe ndị Izrel hụrụ ya, ha tiri mkpu ọṅụ. Daa, kpuo
ihu n’ala.

# 10

*Ọnwụ Nadab na Abihu*

1 Ma ụmụ Erọn, Nadab na Abihu, were ọkụ tinye n’ihe ịgụ ọkụ ha, tinyekwa ụda
na-esi isi n’ọkụ ahụ, si otu a chee ọkụ na-adịghị nsọ n’ihu Onyenwe anyị, n’ụzọ
megidere ihe e nyere n’iwu. 2 N’ihi ya, ọkụ sitere n’ihu Onyenwe anyị daa rechapụ
ha, ha nwụrụ n’ihu Onyenwe anyị. 3 Mgbe ahụ, Mosis gwara Erọn sị, “Nke a bụ ihe
Onyenwe anyị bu n’obi mgbe o kwuru sị,

“ ‘N’etiti ndị niile na-abịaru m nso
    ka a ga-edo m nsọ
ọ bụkwa n’ihu ọha mmadụ,
    ka a ga-asọpụrụ m.*’ ”

Ma Erọn gbara nkịtị.
4 Mgbe ahụ, Mosis kpọrọ Mishael na Elzafan, ụmụ Uziel, nwanne nna Erọn sị ha,
“Bịanụ nso. Gaanụ buputa ozu ụmụnne unu site n’ihu ebe nsọ, buru ha gaa n’azụ
ebe obibi.” 5 Ha bịara ghanye aka n’uwe ime ahụ ha buru ha bupụ n’azụ ọmụma ụlọ
ikwu, dịka Mosis nyere n’iwu.
6 Mosis tụgharịrị sị Erọn na ụmụ ya, Elieza na Itama, “Unu ekwekwala ka ntutu isi
unu kpasaa akpasa izipụta na unu na-eru ụjụ. Unu adọwakwala uwe unu. N’ihi na ọ
bụrụ na unu emee otu a, unu ga-anwụ. Iwe Onyenwe anyị ga-abịakwasịkwa ọgbakọ
Izrel niile. Ma ndị ikwu gị, ụmụ Izrel ndị ọzọ, nwere ike ruo ụjụ n’ihi Nadab na
Abihu. 7 Ọzọ, unu ahapụla ọnụ ụzọ ụlọ nzute, ka unu ghara ịnwụ, n’ihi na mmanụ
nsọ nke Onyenwe anyị dị n’ahụ unu.” Ha mere dịka Mosis gwara ha.
8 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị gwara Erọn sị, 9 “Gị na ụmụ gị ndị ikom agaghị aṅụ
mmanya, maọbụ ihe ọṅụṅụ ọbụla na-aba n’anya mgbe unu na-aba n’ụlọ nzute ka
unu ghara ịnwụ. Agbụrụ unu niile ga-esogide iwu a ruo ọgbọ niile na-abịa. 10 Ọrụ
unu ka ọ bụ ịkpa oke n’etiti ihe dị nsọ na ihe na-adịghị nsọ, na n’etiti ihe dị ọcha
na ihe na-adịghị ọcha. 11 Ọrụ unu bụkwa izi ụmụ Izrel ụkpụrụ niile Onyenwe anyị
nyere ha site n’aka Mosis.”
12 Mosis sịrị Erọn na ụmụ ya ndị ikom fọdụrụ, bụ Elieza na Itama, “Werenụ onyinye
mkpụrụ ọka nke fọdụrụ site na onyinye nsure ọkụ, nke a kwadoro na-etinyeghị ihe
iko achịcha ọbụla, bụ nke e nyere Onyenwe anyị. Rienụ ya n’akụkụ ebe ịchụ aja,
n’ihi na ọ bụ ihe dịkarịsịrị nsọ. 13 Rienụ ya n’ime ebe nsọ ahụ, n’ihi na ọ bụ oke ruru
unu na ụmụ unu ndị ikom site n’onyinye nsure ọkụ e nyere Onyenwe anyị; n’ihi na
nke a bụ ihe e nyere m n’iwu. 14 Ma unu na ụmụ unu ndị ikom na ndị inyom ka
ọ dịkwara iri obi anụ na apata ya, nke e fufere n’ihu Onyenwe anyị. Kama, ọ bụ
n’ebe dị ọcha ka unu ga-anọ rie ya. Nke a bụ oke enyere unu na ụmụ unu site n’aja
udo nke ụmụ Izrel. 15 Apata ụkwụ anụ nke aja mbuli na obi anụ ahụ nke e fufere,
ka a ga-eweta ya na abụba ya nye dịka onyinye sitere n’ọkụ. A ga-efufe ha n’ihu
Onyenwe anyị dịka aja mfufe. Nke a ga-abụ oke ruuru unu na ụmụ unu mgbe niile,
dịka Onyenwe anyị nyere n’iwu.”
16 Mgbe Mosis jụrụ ajụjụ banyere mkpi ahụ e ji chụọ aja mmehie, ọ chọpụtara na a
kpọọla ya ọkụ. O wesoro Elieza na Itama ụmụ ndị ikom Erọn iwe sị ha, 17 “Gịnị mere
unu erighị anụ ahụ e ji chụọ aja mmehie n’akụkụ ebe nsọ ahụ? Ọ bụ nke dịkarịsịrị
nsọ; e nyere unu ya maka iwepụ ọmụma ikpe dịrị ọgbakọ Izrel, na ikpuchi mmehie
ha n’ihu Onyenwe anyị. 18 Ebe ọ bụ na e webataghị ọbara ya n’ime Ebe Nsọ ahụ,
unu gaara anọ n’akụkụ ebe nsọ ahụ rie anụ ewu ahụ, dịka m nyere unu n’iwu.”
19 Ma Erọn zara Mosis sị ya, “Lee, taa ka ha chụrụ aja mmehie na aja nsure ọkụ ha
n’ihu Onyenwe anyị. Ma lee ụdị ihe dakwasịrị m. Ọ gaara atọ Onyenwe anyị ụtọ ma

* **10:3** 10:3 A ga-ebulikwa m elu.

a sị na m riri anụ aja mmehie ndị a n'ụbọchị dị otu a?" 20 Mgbe Mosis nụrụ nke a, o
nwere afọ ojuju n'ihi ọsịsa Erọn nyere.

# 11

### *Nri dị ọcha na ndị na-adịghị ọcha*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn, sị, 2 "Gwanụ ụmụ Izrel, sị, 'N'ime anụmanụ
niile dị n'ụwa, ndị a bụ anụmanụ unu ga-eri. 3 Unu nwere ike iri anụmanụ ọbụla
ụkwụ ya wara njakpa.[*] nke na-atagharị ọnụ.[†]
4 " 'Ma ọ dị ụfọdụ ndị na-atagharị nri maọbụ ndị nwere naanị ụkwụ wara njakpa,
unu agaghị eri anụ ha. Ha bụ ịnyịnya kamel, ọ bụ ezie na ọ na-atagharị nri, ma
ụkwụ ya awaghị njakpa. Unu agaghị eri ha n'ihi na ọ bụ anụ na-adịghị ọcha. 5 Ewi:
Ọ na-atagharị nri ya, ma o nweghị ụkwụ wara njakpa. Ọ bụ anụ na-adịghị ọcha nye
unu. 6 Ewi nkume: Ọ na-atagharị nri ya, ma o nweghị ụkwụ wara njakpa. Ọ bụ
anụ na-adịghị ọcha nye unu. 7 Ezi: Ọ bụ n'ezie na ụkwụ ya wara njakpa ma ọ dịghị
atagharị nri ya. Ọ bụ anụ na-adịghị ọcha nye unu. 8 Unu emetụkwala ozu ha aka
maọbụ rie anụ ha, n'ihi na ha bụ ihe na-adịghị ọcha nye unu.
9 " 'N'ime ihe niile e kere eke dị ndụ biri na mmiri, maọbụ n'iyi nta na n'oke osimiri,
unu nwere ike iri ụdị ọbụla nwere ntu na akpịrịkpa n'ahụ ha. 10 Ma unu ekwesighị iri
ihe ọbụla nke na-enweghị ntu maọbụ akpịrịkpa, ma ha bụ anụ na-enupụta enupụta,
maọbụ na ha so n'anụ ndị ọzọ dị ndụ bi na mmiri, unu kwesiri ịsọ ha asọ. 11 Ebe
ha bụ ihe na-asọ oyi nye unu, unu ekwesighị iri ha, unu ga-agụkwa ozu ha ka ihe
na-adịghị ọcha. 12 Ihe ọbụla bi n'ime mmiri nke na-enweghị ntu na akpịrịkpa n'ahụ
ha, bụ nke unu ga-asọ asọ.
13 " 'Ndị a bụ nnụnụ ndị unu ga-asọ asọ, nke unu na-ekwesighị iri n'ihi na ha bụ
ihe arụ a na-asọ oyi: ugo, udele na udele ojii, 14 ndagbụ na ọgankwọ dị iche iche,
15 ugolọma ọbụla dị iche iche, 16 enyi nnụnụ, egbe abalị, nnụnụ oke osimiri na egbe
dị iche iche, 17 okwukwu nta, komorant na okwukwu ukwu, 18 okwukwu nwere mpi,
okwolo na udele, 19 ụgbala, utù dị iche iche, nnụnụ ọdụ nta[‡] na ụsụ.
20 " 'Ụmụ ahụhụ niile na-efe efe nke na-aga ije n'ụkwụ anọ bụ ihe rụrụ arụ nye
unu, unu agaghị eri ya. 21 Ma e nwere ụfọdụ ụmụ ahụhụ na-efe efe nke na-aga ije
n'ụkwụ anọ ndị unu nwere ike iri: ndị a bụ ndị nwere ogwe ụkwụ nke ha ji na-awụ
awụ n'ala, 22 ndị a ka unu ga-eri n'etiti ha, igurube dị iche iche, na akpankwụ dị iche
iche, na abụzụ dị iche iche, na ụkpana dị iche iche. 23 Ahụhụ ndị ọzọ niile na-efe efe,
ndị nwere ụkwụ anọ, bụ ihe rụrụ arụ. Unu ekwesighị iri ha.
24 " 'Iri ha ga-eme ka unu rụọ arụọ. Onye ọbụla metụrụ ozu ha aka ga-abụ onye
rụrụ arụ site n'oge o bitụrụ ha aka tutu ruo n'abalị nke ụbọchị ahụ. 25 Onye ọbụla
metụrụ otu n'ime ozu ha aka ga-asakwa uwe ya, gụọkwa onwe ya dịka onye na-adịghị
ọcha ruo uhuruchi.
26 " 'Anụmanụ ọbụla ụkwụ ya na-awasaghị abụọ, maọbụ nke na-adịghị atagharị
nri ya ugboro abụọ, rụrụ arụ. Onye ọbụla metụrụ ozu ya aka ga-abụ onye rụrụ arụ.
27 N'ime anụmanụ niile na-aga ije n'ụkwụ anọ, anụmanụ ọbụla na-aga ije n'ọbụaka
ya rụrụ arụ, unu agaghị eri ya. Onye ọbụla metụrụ ozu ya aka ga-abụ onye rụrụ arụ
ruo uhuruchi. 28 Onye ọbụla ga-ebu ozu ya ga-asa uwe ya, bụrụkwa onye rụrụ arụ
ruo uhuruchi, n'ihi na ọ bụ ihe rụrụ arụ n'ebe unu nọ.
29 " 'N'ime anụmanụ niile na-enupụta enupụta n'ala, anụmanụ ndị a bụ ndị rụrụ
arụ: nkapi, na oke, na agụ iyi dịka ụdị ha si dị, 30 na ọba mmiri,[§] na ngwere aghụ,
na ngwere, na ngwere uzuzu, na ogumagala. 31 N'ime ihe niile na-enupụta enupụta

[*] **11:3** 11:3 Ya bụ wara abụọ [†] **11:3** 11:3 Nke na-ata nri ya ugboro abụọ [‡] **11:19** 11:19 Maọbụ, hoopoe
[§] **11:30** 11:30 Maọbụ, agụ ụlọ

n’ala ndị a rụrụ arụ n’ebe unu nọ. Onye metụrụ ozu ha aka ga-abụ onye rụrụ arụ
tutu ruo uhuruchi ụbọchị ahụ. 32 Ihe ọbụla nke ozu ha dakwasịrị ga-abụ ihe rụrụ
arụ, maọbụ osisi, maọbụ akwa, maọbụ akpụkpọ a na-akwa n’ala, maọbụ akpa, ihe
ọbụla nke eji ya eme. A ga-etinye ya na mmiri, ọ ga-adịgide n’ime mmiri tutu ruo
uhuruchi, mgbe ahụ ka ọ ga-adị ọcha. 33 Ọ bụrụ na otu n’ime ihe ndị a adanye n’ite
aja, a ga-etiwa ite ahụ. Ihe niile dị n’ite ahụ abụrụla ihe rụrụ arụ. 34 Ihe oriri ọbụla
nke mmiri si n’ite a metụrụ abụrụla ihe rụrụ arụ. Mmiri ọṅụṅụ ọbụla dị n’ime ite
ahụ rụkwara arụ. 35 Ihe ọbụla ozu anụmanụ dị otu a dakwasịrị, maọbụ ite ọkụ eji
eghe ihe, maọbụ ekwu a ga-etiwa ha. N’ihi na ha bụ ihe rụrụ arụ, unu ga-agụ ha
dịka ihe rụrụ arụ. 36 Ọ bụrụkwa na ozu anụmanụ ahụ adaba n’isi iyi, maọbụ n’olulu
mmiri, mmiri ahụ ga-adị ọcha, kama onye ga-emetụ anụ ahụ aka ga-abụ onye rụrụ
arụ. 37 Ọ bụrụ na ozu anụ ahụ adakwasị mkpụrụ ubi a na-aga ịkụ n’ubi, ọ gaghị
emerụ ha. 38 Ma ọ bụrụ na e tinyere mmiri n’elu mkpụrụ ọghịgha ndị ahụ, ozu
adakwasị n’elu ya, ha ga-abụ ihe rụrụ arụ.
39 “ ‘Ọ bụrụ na anụmanụ unu kwesiri iri eri anwụọ, onye ahụ metụrụ ya aka ga-abụ
onye rụrụ arụ ruo uhuruchi. 40 Onye ọbụla riri ozu anụ ahụ, maọbụ bufuo ozu ya,
ga-abụ onye rụrụ arụ ruo uhuruchi. Ọ ga-asa uwe ya mmiri.
41 “ ‘Anụmanụ ọbụla na-akpụgharị n’ala bụ ihe rụrụ arụ nye unu. Unu erikwala
ha. 42 Unu agaghị eri anụmanụ ọbụla na-akpụgharị n’ala, ma ha na-akpụgharị n’afọ
ha, ma ha na-agagharị n’ụkwụ anọ, ma ha nwere ụkwụ dị ọtụtụ. Ha bụ ihe rụrụ arụ.
43 Unu emerụla onwe unu site n’iri anụmanụ ndị a na-akpụgharị n’ala. Unu abụla
ndị na-emerụ onwe unu site n’anụmanụ ndị a, maọbụ mee ka unu bụrụ ndị e merụrụ
site na ha. 44 Abụ m Onyenwe anyị Chineke unu. Doonụ onwe unu nsọ, n’ihi na adị
m nsọ. Unu emerụla onwe unu site n’imetụ anụmanụ ndị a na-akpụgharị n’ala aka.
45 Abụ m Onyenwe anyị, onye si n’ala Ijipt kpọpụta unu, ka m bụrụ Chineke unu.
Unu aghaghị ịdị nsọ, n’ihi na adị m nsọ.
46 “ ‘Ndị a bụ usoro iwu metụtara ụmụ anụmanụ, na anụ ufe, na anụ bi na mmiri,
na anụ ndị na-arịgharị arịgharị n’ala. 47 Ka unu si otu a kpaa oke n’etiti ndị rụrụ
arụ na ndị dị ọcha, n’etiti ihe e kere eke dị ndụ ndị unu nwere ike iri n’ihi na ha dị
ọcha, na ndị unu na-ekwesighị iri n’ihi na ha rụrụ arụ.’ ”

# 12

*Ịdị ọcha nke nwanyị mụrụ nwa ọhụrụ*

1 Onyenwe anyị gwara Mosis sị ya, 2 “Nye ụmụ Izrel iwu ndị a sị ha, ‘Mgbe nwanyị
tụụrụ ime mesịa mụọ nwa nwoke, ọ ga-abụ onye na-adịghị ọcha ụbọchị asaa, dịka
o si adị mgbe ọ nọ n’adịghị ọcha nke nsọ ya n’oge a kara aka. 3 N’ụbọchị nke asatọ
site n’oge a mụrụ ya, a ga-ebi nwa nwoke ahụ ugwu. 4 N’ime iri abalị atọ na atọ site
n’ụbọchị nwanyị ahụ mụsịrị nwa ahụ, ọ ga-anọkwa na-adịghị ọcha nke ọbara gbara
ya. Ọ gaghị emetụ ihe dị nsọ aka, maọbụ banye n’ime ebe nsọ, ruo mgbe ụbọchị
ime ya ka ọ dị ọcha gasịrị. 5 Mgbe nwanyị dị ime mụrụ nwa nwanyị, ọ ga-abụ onye
n’adịghị ọcha iri ụbọchị na anọ, dịka o si adị mgbe ọ nọ na nsọ ya. Ọ ga-echere tutu
iri ụbọchị isii agwụsịa, ime ya ka ọ dị ọcha.
6 “ ‘Mgbe ụbọchị ịdị ọcha ya zuru, ma ọ mụrụ nwa nwoke maọbụ nwa nwanyị,
ọ ga-ewetara onye nchụaja n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute otu nwa atụrụ gbara otu afọ maka
onyinye aja nsure ọkụ, na otu nwa kpalakwukwu maọbụ otu nduru maka onyinye
aja mmehie. 7 Onye nchụaja ga-anarakwa ha chee ha n’ihu Onyenwe anyị, chụọrọ
ya aja ikpuchi mmehie. Mgbe ahụ ka ọ ga-adị ọcha site n’ịsọ ọbara ya.
“ ‘Nke a bụ usoro iwu dịịrị nwanyị ọbụla mụrụ nwa nwoke, maọbụ nwa nwanyị.
8 Ọ bụrụ na aka erughị ya iweta nwa atụrụ, ọ ga-eweta ụmụ kpalakwukwu abụọ,
maọbụ ụmụ nduru abụọ. Otu ga-abụ maka aja nsure ọkụ, nke ọzọ ga-abụ maka aja

mmehie. Onye nchụaja ga-ewere ha chụọrọ ya aja ikpuchi mmehie, ka ọ dịkwa ọcha
ọzọ.’ ”

# 13

*Usoro iwu gbasara ọrịa elu ahụ*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn okwu sị ha, 2 “Mgbe mmadụ hụrụ etuto,
maọbụ ọnya, maọbụ ntụpọ na-eko eko n’akpụkpọ anụ ahụ ya nke dị ka ihe ọrịa
ekpenta na-eweta, a ga-eduru onye ahụ bịa n’ihu Erọn onye nchụaja maọbụ ụmụ ya
ndị ikom, bụ ndị nchụaja. 3 Onye nchụaja ga-eleru ọrịa ahụ dị ya n’ahụ anya. Ọ bụrụ
na ajị dị gburugburu ebe ahụ ebidola ịcha ọcha, ọ bụrụkwa na ebe ahụ mibara ime,
ọ bụ ọrịa ekpenta. Mgbe onye nchụaja leruchara ya anya, ọ ga-ekwupụta na onye
ahụ bụ onye rụrụ arụ. 4 Ọ bụrụkwanụ na ajị dị gburugburu ebe ahụ dị ọcha, ma na
ebe ahụ emighị emi karịa akụkụ ahụ ya ndị ọzọ, onye nchụaja ga-edebe onye ahụ ebe
ọ ga-anọ naanị ya abalị asaa. 5 Mgbe ụbọchị asaa gasịrị, onye nchụaja ga-ele ya ahụ
ọzọ. Ọ bụrụ na ọnya ahụ alabeghị, na ọ nwekwaghị mgbanwe ọbụla, a ga-edebekwa
ya abalị asaa ọzọ. 6 Mgbe abalị asaa nke a gafekwara, onye nchụaja ga-elekwa ya
ahụ ọzọ. Ọ bụrụ na ọ dịtụla ya mma, na ọnya ahụ agbasaghị n’anụ ahụ ya, onye
nchụaja ga-asị na ọ dị ọcha, n’ihi na ọ bụ naanị ọnya efu. Onye ahụ ga-asakwa uwe
ya mmiri, mgbe ahụ dị ọcha. 7 Ma ọ bụrụ na ọnya ahụ agbasaa n’ahụ ya mgbe o
gosicharala onye nchụaja onwe ya maka nsacha ịdị ọcha, ọ ga-alaghachikwa azụ ga
hụ onye nchụaja ahụ ọzọ. 8 Onye nchụaja ga-eleru ya anya, ọ bụrụ na onye nchụaja
achọpụta na ọnya ahụ na-agbasa, ọ ga-agụ onye ahụ dịka onye rụrụ arụ, ọ bụ ọrịa
na-efe efe.
9 “Mgbe ọbụla mmadụ nwere ihe dị ka ọrịa na-efe efe n’ahụ ya, a ghaghị ịkpọtara
ya onye nchụaja. 10 Onye nchụaja ga-ele anya n’akụkụ anụ ahụ ya zara aza ịchọpụta
ma ọ dị ọcha, ma ajị dị gburugburu ebe ahụ ọ na-acha ọcha, na ịhụkwa ma ọ nwere
ọnya dị gburugburu ebe ahụ. 11 Ọ bụrụ na onye nchụaja ahụ ihe ndị a, ọ bụ ọrịa
ekpenta n’ezie. Ọ ga-agụkwa onye ahụ dịka onye rụrụ arụ. A gaghị edebekwa ya ile
ya ahụ, n’ihi na ọ bụrụlarị onye rụrụ arụ.
12 “Ọ bụrụ na onye nchụaja elee onye ahụ anya hụ na ọrịa ọcha ahụ enupụtala
n’akụkụ ahụ ya niile, site n’ụkwụ ya ruo n’isi ya, 13 onye nchụaja a ga-eleru ya anya,
ọ bụrụ na ọrịa ahụ enupụtala n’ahụ ya niile, ọ ga-ekwupụta na onye ahụ dị ọcha,
ebe ọ bụ na ọrịa ahụ enupụtala mee ka anụ ahụ ya chawa ọcha. 14 Ma ọ bụrụ na
e nwere akụkụ ahụ ya ọnya ọ hụrụ pụtara, ọ ga-agụ ya dịka onye na-adịghị ọcha.
15 Onye nchụaja ga-enyocha ọnya ahụ. Kwupụta na onye ahụ rụrụ arụ. Ọnya ahụ
rụrụ arụ n’ihi na ọrịa ekpenta ka ọ bụ. 16 Ọ bụrụ n’ọnya ahụ agbanwe na-acha ọcha,
ha ga-agakwuru onye nchụaja. 17 Onye nchụaja ga-ele ya ahụ. Ọ bụrụ na ọnya niile
ahụ na-acha ezi ọcha, onye nchụaja ga-agụ ya dịka onye na-enweghị ntụpọ. Ndị dị
ọcha ka ha ga-abụ.
18 “Ọ bụrụ na etuto toro mmadụ n’ahụ alaa, 19 ma akpụkpọ anụ ahụ ya anọgide
na-acha ọcha, maọbụ na-acha ọbara ọbara, a ga-ejekwuru onye nchụaja ka o lee
ya anya n’ahụ. 20 Ọ bụrụ na onye nchụaja achọpụta na e nwere ọrịa dị n’okpuru
akpụkpọ ahụ ya, chọpụtakwa na ajị ya na-acha ọcha, onye nchụaja ga-agụ mmadụ
ahụ dịka onye rụrụ arụ, n’ihi na ekpenta esitela n’etuto ahụ pụta. 21 Ọ bụrụ na
onye nchụaja achọpụta na ajị ọcha adịghị n’akpụkpọ ahụ ya, chọpụtakwa na ọnya
ahụ abanyeghị n’ime, onye nchụaja ga-edebe onye ahụ ụbọchị asaa. 22 N’ime ụbọchị
asaa ahụ, ọ bụrụ na ọnya ahụ abaa ụba karịa ka ọ dị na mbụ, onye nchụaja ga-agụ
mmadụ ahụ dịka onye na-adịghị ọcha. Ọ bụ ọrịa na-emerụ emerụ ka ọ bụ. 23 Ma
ọ bụrụ na ọ baghị ụba karịa, onye nchụaja ga-agụ mmadụ ahụ dịka onye dị ọcha,
n’ihi na ihe a bụ etuto lara ala.

24 “Ọ bụrụ na ọkụ agbaa mmadụ, mee ka ọnya pụta ya n’ahụ: ọ bụrụ na ọnya
ahụ ebido na-acha ọbara ọbara, maọbụ na-acha ezigbo ọcha, 25 onye nchụaja ga-
elezi onye dị otu a anya. Ọ bụrụ na ajị dị gburugburu ebe ọnya ahụ dị na-acha
ọcha, maọbụ na ọnya ahụ mibara ime karịa, ọ ghọọla ekpenta nke si n’ọnya ahụ
nupụta. Onye nchụaja ga-agụ mmadụ ahụ dịka onye na-adịghị ọcha. Ọ bụ ọrịa
ekpenta. 26 Ma ọ bụrụ na onye nchụaja elee ya hụ na ajị dị gburugburu ebe ahụ
adịghị ọcha, ọ bụrụkwa na ọ dịghị ala karịa akpụkpọ ahụ, na ọ na-aṅacha, mgbe
ahụ onye nchụaja ga-edebe onye ahụ iche ụbọchị asaa. 27 N’ụbọchị nke asaa, onye
nchụaja ga-elezi onye ahụ anya nke ọma. Ọ bụrụ na ọ chọpụtara na ọnya ahụ na-
abasaa n’akpụkpọ ahụ ya, onye nchụaja ga-agụ onye ahụ dịka onye na-adịghị ọcha.
Ọrịa na-emerụ emerụ ka ọ bụ. 28 Ma ọ bụrụ na ọ gbanweghị, bụrụkwa na ọ basaghị
n’akpụkpọ ahụ ma ọ na-aṅacha, ọ bụ ihe ọzịza sitere n’ọkụ rere onye ahụ, onye
nchụaja ga-agụ ya dịka onye dị ọcha, n’ihi na ọ bụ apa ọnya lara ala.

29 “Ọ bụrụ na nwoke maọbụ nwanyị ọbụla enwee ọnya n’isi, maọbụ na nti ya,
30 onye nchụaja ga-elezi ọnya ahụ anya. Ọ bụrụ na ọ dị ala karịa akpụkpọ ahụ ya,
ọ bụrụkwa na ajị dị na ya na-acha odo odo dị irighiri, onye nchụaja ga-agụ ha dịka
ndị na-adịghị ọcha. Ọ bụ ọrịa na-emerụ emerụ nke dị n’isi maọbụ n’agba. 31 Ma ọ
bụrụ na onye nchụaja achọpụta na ọnya ahụ adịghị abasa abasa, maọbụ na ajị dị
n’ebe ahụ adịghị eji ojii, onye nchụaja ga-edebe onye ahụ ụbọchị asaa. 32 N’ụbọchị
nke asaa onye nchụaja ga-elezi ọnya ahụ anya. Ọ bụrụ na ọnya ahụ abasaghị karịa,
ọ bụrụ na o nweghị ajị na-acha edo edo, ọ bụrụkwa na o mibaghị emiba, 33 ọ ga-
akpụchapụ ajị niile dị n’akụkụ ebe ahụ ọnya mere ya, ma ọ gaghị akpụchapụ ajị dị
n’ọnya ahụ n’onwe ya. Onye nchụaja ga-edebe onye ahụ ụbọchị asaa. 34 N’ụbọchị
nke asaa, onye nchụaja ga-elezi ọnya ahụ anya. Ọ bụrụ na ọ basaghị karịa, maọbụ
mibanye n’ime karịa anụ ahụ, a ga-agụ mmadụ ahụ dịka onye dị ọcha. Ọ ga-apụ
sachaa uwe ya, bụrụ onye dị ọcha. 35 Ma ọ bụrụ na mgbe a gụchara ya n’onye dị
ọcha ọnya ahụ emesịa basaa n’ahụ ya. 36 Onye nchụaja ga-ele ya anya. Ọ bụrụ na
ọnya ahụ agbasaala n’akpụkpọ ahụ ya, onye nchụaja a gaghị achọwa ajị na-acha edo
edo. Onye ahụ rụrụ arụ. 37 Ma ọ bụrụ n’uche onye nchụaja na ọnya ahụ adịghị
abasa abasa, ọ bụrụkwa na ajị ojii epupụtala n’ebe ahụ, ọnya ahụ alaala. Onye dị
ọcha ka mmadụ ahụ bụ. Onye nchụaja ga-ekwupụta na ọ dị ọcha.

38 “Mgbe nwoke maọbụ nwanyị ọbụla nwere ntụpọ ọcha n’anụ ahụ ya, 39 onye
nchụaja ga-ele ya ahụ. Ọ bụrụ na ntụpọ ahụ adịghị achazi ezi ọcha, ọ bụ ọkọ
nupụtara onye ahụ n’ahụ. Onye ahụ dị ọcha.

40 “Mgbe ajị na-adịghịkwa nwoke n’isi, ọ bụ isi nkwọcha, onye ahụ dị ọcha. 41 Otu
aka ahụ, ọ bụrụ na isi ya esite n’egedege ihu ya kwọchasịa, ọ bụghị ekpenta, onye
dị ọcha ka ọ bụ. 42 Kama ọ bụrụ na onye ahụ enwee etuto n’isi ya maọbụ n’egedege
ihu ya nke na-acha ọbara ọbara, na ọcha ọcha, o nwere ike bụrụ ọrịa ekpenta na-
enupụta ya n’isi maọbụ n’egedege ihu. 43 N’ihi ya, onye nchụaja ga-elezi ya anya.
Ọ bụrụ na etuto ahụ toro ya n’isi maọbụ n’egedege ihu na-acha ọbara ọbara, na
ọcha ọcha, ọ ga-abụ na ọ ghọọla ọrịa ekpenta. 44 Onye nchụaja ga-agụ ya dịka onye
ekpenta. Ọ bụkwa onye rụrụ arụ, n’ihi ọnya ahụ dị ya n’isi.

45 “Onye ọbụla a chọpụtara na ọ bụ onye ekpenta ga-eyi uwe dọkara adọka, hapụ
agịrị isi ya ka ọ dịka nke onye ara. Ọ ga-ekpuchi elu egbugbere ọnụ ya, na-eti mkpu
na-asị, ‘Onye rụrụ arụ ka m bụ. Onye rụrụ arụ ka m bụ!’ 46 Ụbọchị niile nke ọ nọ
n’ọrịa ahụ, ọ gaghị ebi n’ime obodo n’etiti ụmụ mmadụ n’ihi na onye rụrụ arụ ka ọ
bụ.

### *Usoro iwu banyere Ọrịa na-efe efe*

47 “Ọ bụrụ na a hụrụ ntụpọ yiri ntụpọ ọrịa na-efe efe n’uwe ajị anụ maọbụ n’uwe
ogho ọcha, 48 maọbụ n’akpụkpọ anụ ọbụla, maọbụ n’ihe ọbụla e ji akpụkpọ ajị anụ
maọbụ uwe ogho ọcha, uwe a kpara akpa, maọbụ nke a tụrụ atụ mee. 49 Ọ bụrụkwa
na ntụpọ dị n’uwe ahụ, maọbụ n’akpụkpọ anụ ahụ, maọbụ nke a kpara akpa, maọbụ
nke atụrụ atụ, maọbụ n’ihe akpụkpọ anụ ọbụla na-acha ahịhịa ndụ maọbụ uhie uhie,
o nwere ike ịbụ ọrịa na-efe efe. A ga-ewegara onye nchụaja uwe ahụ ka o lezie ya
anya. 50 Onye nchụaja ga-ele ya anya, were ya debe ya iche ụbọchị asaa. 51 N’ụbọchị
nke asaa, onye nchụaja ga-ele ya anya ọzọ. Ọ bụrụ na ntụpọ ahụ agbasaa n’uwe ahụ
maọbụ n’ihe ahụ a kpara akpa, maọbụ n’ihe ahụ a tụrụ atụ, maọbụ n’ihe akpụkpọ
anụ ahụ, n’ime ụbọchị asaa ndị a, n’agbanyeghị ihe e ji ha eme, ọ bụ ọrịa ọjọọ na-efe
efe. Ihe ahụ bụ ihe rụrụ arụ. 52 A ga-akpọ uwe ahụ, maọbụ akwa ajị anụ ahụ, maọbụ
akwa ajị anụ a kpara akpa, maọbụ akwa ogho ọcha ahụ, maọbụ ihe akpụkpọ anụ
ọbụla ọkụ, n’ihi na ọrịa na-efe efe dị n’ime ya, n’ihi na ọrịa na-eweta mbibi ka ọ bụ.
A ghakwaghị iji ọkụ rechapụ ya.
53 “Ma ọ bụrụ na onye nchụaja ahụ ele hụ na ntụpọ ahụ agbasaghị n’uwe ahụ,
maọbụ n’akwa ahụ a kpara akpa, maọbụ akwa a tụrụ atụ, maọbụ n’ihe akpụkpọ
anụ ahụ ọbụla. 54 Ọ ga-enye iwu ka a saa ihe ndị ahụ niile mmiri, wezugakwa ya
iche ruo ụbọchị asaa ọzọ. 55 Mgbe a sachara ihe ahụ mmiri, onye nchụaja ga-ele ya
anya ọzọ. Ọ bụrụ na ntụpọ ahụ agbanwebeghị, ọ bụrụ na ọ na-achakwa dịka o si
acha na mbụ, mgbe ụbọchị ndị a gasịrị, ọ bụ ezie na ọ gbasaghị, ọ bụ ihe rụrụ arụ. A
ga-akpọ ya ọkụ, ma ntụpọ ahụ ọ dị n’ihu uwe ahụ maọbụ n’azụ ya. 56 Ma ọ bụrụ na
onye nchụaja elee ya anya hụ na ụcha ntụpọ dị n’ihe ahụ adịghị ukwuu n’ihi nsacha
a sachara ya na mmiri, ọ ga-achakapụ akụkụ uwe ahụ, maọbụ akwa ahụ a kpara
akpa maọbụ nke a tụrụ atụ. 57 Ọ bụrụ na ntụpọ ahụ emesịa pụta ọzọ n’uwe ahụ,
maọbụ n’akwa ahụ a kpara akpa, maọbụ nke a tụrụ atụ, maọbụ n’akpụkpọ anụ ahụ,
o gosiri na ọ na-agbasa agbasa. Ihe ọbụla nwere ntụpọ ahụ ka a ga-akpọ ọkụ. 58 Uwe
maọbụ ihe a kpara akpa, maọbụ ihe a tụrụ atụ, maọbụ ihe akpụkpọ anụ ọbụla a sara
mmiri nke ntụpọ dị na ya pụrụ, a ga-asa ya mmiri ọzọ. Ọ ga-abụkwa ihe dị ọcha.”
59 Ndị a bụ usoro iwu metụtara ntụpọ dịka ntụpọ ọrịa na-efe efe nke dị n’uwe
ajị anụ maọbụ uwe ogho ọcha, maọbụ n’ihe a kpara akpa maọbụ n’ihe a tụrụ atụ,
maọbụ n’ihe akpụkpọ anụ. Iwu ndị a ga-enye aka ịchọpụta ma ha rụrụ arụ, maọbụ
na ha dị ọcha.

# 14

*Usoro ido ụlọ na ndị ekpenta ọcha*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis, sị, 2 “Ndị a bụ usoro iwu gbasara onye ọrịa ekpenta
n’oge a na-eme mmemme ịdị ọcha ya, mgbe e dutere ya bịakwute onye nchụaja.
3 Onye nchụaja ga-apụ gaa n’azụ ebe obibi nọdụ n’ebe ahụ lee ya ahụ, ịchọpụta ma
ọrịa ekpenta ya ọ laala n’ezie. Ọ bụrụ na ọrịa ya alaala, 4 onye nchụaja ga-enye iwu
ka e weta nnụnụ abụọ dị ndụ, na ụfọdụ osisi sida, na eriri ogho uhie, na hisọp, maka
onye ahụ a ga-emere mmemme ịdị ọcha. 5 Onye nchụaja ga-enye iwu ka e gbuo otu
n’ime nnụnụ abụọ ahụ n’elu mmiri e si n’ọdọ mmiri na-asọ asọ kute nke dị n’ime ite
aja. 6 Ọ ga-ewere nnụnụ nke ọzọ dị ndụ, ya na osisi sida ahụ, na ogho uhie ahụ, na
hisọp ahụ, denye ha n’ime ọbara nnụnụ ahụ e gburu n’elu mmiri ahụ. 7 Mgbe ahụ,
onye nchụaja ga-efe ọbara ahụ ugboro asaa n’ahụ onye ahụ a na-eme ka ọ dị ọcha
site n’ọrịa ekpenta. Ọ ga-ekwupụtakwa na a gwọọla onye ahụ. Emesịa, ọ ga-ahapụ
nnụnụ ahụ ka o felaa n’ọhịa.
8 “Onye ahụ e mere ka ọ dị ọcha ga-asacha uwe ya, kpụchaa ntutu isi ya, saakwa
ahụ ya. Mgbe ahụ, ọ ga-adị ọcha. Emesịa, ọ ga-esoro ndị mmadụ biri n’obodo. Ma
ọ gaghị abanye n’ụlọ nke aka ya tutu ụbọchị asaa agafee. 9 N’ụbọchị nke asaa, ọ

ga-akpụchapụ ntutu isi ya, na afụọnụ ya, na ikuanya ya, na ajị ndị ọzọ dị ya n’ahụ.
Ọ ga-asa uwe ya na ahụ ya niile. Mgbe ahụ, a ga-agụ ya n’onye dị ọcha.

10 “N’ụbọchị nke asatọ, ọ ga-ewere ebule abụọ na-enweghị ntụpọ, na otu nne atụrụ
nke na-enweghị ntụpọ gbara otu afọ, ya na iri iko ọka a kwọrọ nke ọma a gwakọtara
mmanụ oliv maka aja mkpụrụ ọka, na otu iko mmanụ. 11 Onye nchụaja ahụ lere ya
ahụ sị na ha dị ọcha, ga-ewere aja ndị a, ha na onye ahụ a na-aga ime ka ọ dị ọcha
chee n’ihu ONYENWE ANYỊ n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute.

12 “Mgbe ahụ, onye nchụaja ahụ ga-ewere otu n’ime ụmụ ebule ahụ, na otu iko
mmanụ chụọ ya dịka onyinye aja ikpe ọmụma. Ọ ga-efufe ha n’ihu ONYENWE ANYỊ
dịka aja mfufe. 13 Ọ ga-egbu nwa ebule ahụ n’akụkụ ebe nsọ ahụ, n’ebe a na-anọ
egbu anụ aja mmehie na aja nsure ọkụ. Ọ bụ onye nchụaja ga-ewere anụ aja ikpe
ọmụma a, dịka o were nke aja mmehie. Ọ bụ ihe dịkarịsịrị nsọ. 14 Onye nchụaja ahụ
ga-ewere ụfọdụ n’ime ọbara aja ikpe ọmụma ahụ, tee n’ọnụ ntị aka nri nke onye
ahụ a na-eme ka ọ dị ọcha. Ọ ga-etekwa ya n’isi mkpụrụ aka nke aka nri ya, na
n’elu isi mkpụrụ ụkwụ nke ụkwụ aka nri ya. 15 Emesịa onye nchụaja ga-awụnyetụ
mmanụ oliv ahụ n’ọbụaka nke aka ekpe ya, 16 ọ ga-arụnye otu mkpịsịaka nri ya
n’ime mmanụ dị n’ọbụaka ya, ọ ga-ewere mkpịsịaka ya fesa ụfọdụ n’ime ya ugboro
asaa n’ihu Onyenwe anyị. 17 Onye nchụaja ga-ewere mmanụ ahụ fọdụrụ n’ọbụaka
ya tee ya onye ahụ n’ọnụ ntị aka nri nke onye ahụ a na-aga ime ka ọ dị ọcha, na
n’isi mkpụrụ aka nke aka nri ya, na n’isi mkpụrụ ụkwụ nke aka nri ya, n’elu ọbara
aja ikpe ọmụma ahụ mee. 18 Ọ ga-ete mmanụ ahụ fọdụrụ n’aka ya, n’isi onye ahụ a
na-eme ka ọ dị ọcha. Onye nchụaja ga-ekpuchikwara ha mmehie ya n’ihu Onyenwe
anyị.

19 “Mgbe ahụ, onye nchụaja ga-achụ aja mmehie, kpuchiere onye ahụ a ga-eme ka
ọ dị ọcha site na-adịghị ọcha ha mmehie ya. Emesịa, onye nchụaja ga-egbu aja nsure
ọkụ ahụ, 20 were ya na onyinye mkpụrụ ọka chụọrọ onye ahụ aja, maka ikpuchiri ya
mmehie ya. Mgbe ahụ, a ga-agụ onye ahụ n’onye dị ọcha.

21 “Ọ bụrụ na ọ bụ ogbenye onye na-enweghị ike iweta ihe ndị a, ha aghaghị iwere
otu nwa ebule dịka aja ikpe ọmụma nke a ga-efufe n’ihi aja ikpuchi mmehie ha, Ọ ga-
ewetakwa iko ọka a kwọrọ nke ọma asaa maọbụ ihe ọtụtụ efaa a gwara mmanụ oliv
dịka aja mkpụrụ ọka, ya na otu iko mmanụ. 22 Ọ ga-ewetakwa nduru abụọ maọbụ
kpalakwukwu abụọ, nke ọbụla o nwere ike iweta. Otu ga-abụ maka aja mmehie, nke
ọzọ ga-abụ maka aja nsure ọkụ.

23 “Ọ ga-ewere ha nye onye nchụaja n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute n’ihu ONYENWE ANYỊ,
n’ụbọchị nke asatọ ya, maka ime ka ha dị ọcha. 24 Onye nchụaja ga-ewerekwa nwa
atụrụ aja ikpe ọmụma ahụ, ya na otu iko mmanụ oliv ahụ, fufee ha n’ihu ebe ịchụ aja
nye ONYENWE ANYỊ. 25 Ọ ga-egbu nwa atụrụ aja ikpe ọmụma ahụ, were ụfọdụ ọbara
ya tee n’ọnụ ntị aka nri onye ahụ a na-aga ime ka ọ dị ọcha, na n’isi mkpụrụ aka nke
aka nri ya, na n’isi mkpụrụ ụkwụ nke aka nri ya. 26 Onye nchụaja ahụ ga-awụnye
ụfọdụ mmanụ oliv ahụ n’ọbụaka nke aka ekpe ya, 27 ọ ga-ewere mkpịsịaka nri ya
fesa ụfọdụ mmanụ ahụ nke dị n’ọbụaka ya ugboro asaa n’ihu ONYENWE ANYỊ. 28 Ọ
ga-etekwa ụfọdụ mmanụ ahụ dị n’aka ya n’ebe ndị ahụ o tere ọbara ikpe ọmụma
ahụ, nke bụ n’ọnụ ntị onye ahụ nke a na-eme ka ọ dị ọcha, na n’isi mkpụrụ aka
nke aka nri ya, na n’isi mkpụrụ ụkwụ nke aka nri ya. 29 Mmanụ nke fọdụrụ n’aka
ya ka onye nchụaja ga-ete n’isi onye ahụ a na-eme ka ọ dị ọcha, ikpuchi mmehie
ha n’ihu ONYENWE ANYỊ. 30 Emesịa, ọ ga-eji nduru abụọ ahụ maọbụ kpalakwukwu
abụọ ahụ, nke ọbụla o nwere ike iweta, chụọ aja. 31 Otu ga-abụ maka aja mmehie,
nke ọzọ ga-abụ maka aja nsure ọkụ, ha na aja mkpụrụ ọka. N’ụzọ dị otu a, onye
nchụaja ga-ekpuchiri ya mmehie ya n’ihu ONYENWE ANYỊ, bụ onye ahụ a na-eme ka
ọ dị ọcha.”

32 Ndị a bụ usoro iwu dịrị onye ọbụla e sitere n'ọrịa ekpenta mee ka ọ dị ọcha,
onye aka ya na-erughị iweta ihe o kwesiri iweta, bụ nke e ji eme ka ọ dị ọcha.

### *Ọrịa na-efe efe dị n'ụlọ*

33 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn okwu sị, 34 "Mgbe unu banyere ala Kenan,
bụ ala ahụ m na-enye unu, ọ bụrụ na o nwee ụlọ ọbụla m webatara ọrịa na-efe efe,
35 onyenwe ụlọ ahụ ga-ejekwuru onye nchụaja sị ya, 'Ahụla m ihe yiri ọrịa na-efe efe
n'ụlọ m.' 36 Onye nchụaja ahụ ga-enye iwu ka a kwapụsịa ihe niile dị n'ụlọ ahụ tupu
ọ gaa lezie ụlọ ahụ anya, ka ihe niile dị n'ụlọ ahụ ghara ịbụ ihe rụrụ arụ, ma ọ bụrụ
na achọpụta ọrịa na-efe efe n'ụlọ ahụ. Mgbe a kwapụtasịrị ihe dị n'ụlọ ahụ, onye
nchụaja ga-aga lee ụlọ ahụ. 37 Ọ ga-ele ntụpọ dị n'ahụ ụlọ ahụ. Ọ bụrụ na ntụpọ ahụ
na-acha ahịhịa ndụ ahịhịa ndụ, maọbụ ọbara ọbara,* ọ bụrụkwa na ha miri emi
karịa aja ụlọ ahụ n'ile anya, 38 onye nchụaja ga-esi n'ọnụ ụzọ ụlọ ahụ pụọ, kpọchie
ụlọ ahụ ụbọchị asaa. 39 N'ụbọchị nke asaa, onye nchụaja ga-alọghachi bịa lee ụlọ
ahụ ọzọ. Ọ bụrụ na ntụpọ ahụ agbasaala n'aja ụlọ ahụ, 40 onye nchụaja ga-enye iwu
ka e tida akụkụ aja ụlọ ahụ bufuo ya n'ebe a na-ekpofu ihe rụrụ arụ n'azụ obodo.
41 Ọ ga-enyekwa iwu ka a kpụchaa aja ụlọ niile dị n'ime ụlọ ahụ, bufukwaa aja niile
a kpụchapụtara n'ebe a na-ekpofu ihe rụrụ arụ n'azụ obodo. 42 A ga-ebute nkume
ọzọ jiri ha dochie ndị ahụ e bupụsịrị. A ga-ejikwa ụrọ ọhụrụ tee ụlọ ahụ ọzọ.
43 "Ma ọ bụrụ na ntụpọ ahụ apụta ọzọ, mgbe e bupụsịrị nkume ndị ahụ, ma mgbe
a kpuchasịrị aja ụlọ ma techikwaa ya, 44 onye nchụaja ga-abịa lee ya. Ọ bụrụ na ọ
hụ na ntụpọ ahụ agbasaala ọzọ, ọ ga-agụ ụlọ ahụ dịka ihe rụrụ arụ, n'ihi na ntụpọ
ahụ bụ ọrịa na-efe efe. 45 Ọ ga-enye iwu ka a kwatuo ụlọ ahụ bufukwaa ihe niile e
jiri rụọ ya, nkume niile, osisi niile na ụrọ niile, n'ebe a na-ekpofu ihe rụrụ arụ n'azụ
obodo.
46 "Onye ọbụla banyere n'ụlọ ahụ n'oge e mechiri ya, ga-abụ onye rụrụ arụ ruo
n'oge uhuruchi. 47 Onye ọbụla dinara ala maọbụ rie nri n'ime ya, ga-asacha uwe ya.
48 "Ma ọ bụrụ na onye nchụaja abịa hụ na ntụpọ ahụ apụtaghị ọzọ, mgbe e techara
ụlọ ahụ ụrọ nke ugboro abụọ, ọ ga-agụ ya n'ụlọ dị ọcha, n'ihi na ọrịa ahụ na-efe efe
alaala. 49 Ọ ga-ejikwa nnụnụ abụọ, na osisi sida, na ogho uhie, na osisi hisọp mee
mmemme ido ihe ọcha. 50 Ọ ga-egbu otu n'ime nnụnụ ndị ahụ n'elu mmiri e si n'iyi
na-asọ asọ kute, nke dị n'ime ite aja. 51 Ọ ga-edenye osisi sida ahụ, na ogho uhie ahụ,
na osisi hisọp ahụ, n'ime ọbara nnụnụ ahụ na mmiri ahụ. Ọ ga-efesa ọbara ahụ
n'ụlọ ahụ ugboro asaa. 52 Ọ bụ ọbara nnụnụ ahụ, na mmiri ahụ, na nnụnụ nke ọzọ
ahụ dị ndụ, na osisi sida ahụ na hisọp ahụ, na ogho uhie ahụ ka ọ ga-eji mee ka ụlọ
ahụ dị ọcha. 53 Ọ ga-ahapụ nnụnụ ahụ dị ndụ ka o fepụ felaa n'ọhịa dị n'azụ obodo.
Nke a ga-abụ otu e si kpuchiere ụlọ ahụ mmehie ya. Ọ ga-adịkwa ọcha."
54 Ndị a bụ usoro iwu metụtara ọrịa ekpenta, na ọkọ, 55 na ọrịa na-efe efe dị n'uwe
maọbụ n'ụlọ, 56 maọbụ etuto, maọbụ ntụpọ, maọbụ ọnya. 57 Iwu ndị a ga-enye aka
ịmata ihe rụrụ arụ maọbụ ihe na-adịghị ọcha.
Ndị a bụ usoro iwu metụtara ọrịa ekpenta na ọrịa na-efe efe.

# 15

### *Ihe nsọpụta ndị na-ebute adịghị ọcha*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn okwu sị ha, 2 "Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha,
'Nwoke ọbụla ihe nsọpụta si n'ahụ ya na-asọpụta, bụ onye rụrụ arụ. 3 Onye ahụ
rụrụ arụ mgbe ihe ahụ si ya n'ahụ na-asọpụta, rụọkwa arụ mgbe ihe ahụ kwụsịrị
ịsọ. Otu a ka ihe ọsụsọ ahụ si eme ka onye ahụ rụọ arụ.

* **14:37** 14:37 Nke na-acha mmanụ nri mmanụ nri

4 “ ‘Ihe ọbụla onye ahụ ji anọdụ ala, maọbụ nke o ji dinaa bụ ihe rụrụ arụ. 5 Onye
ọbụla metụrụ ihe ndina ya aka ga-abụ onye rụrụ arụ ruo uhuruchi. Ọ ga-asa uwe
ya, na ahụ ya mmiri. 6 Onye ọbụla nọdụrụ ala n’ihe onye ahụ nọdụrụ ala n’oge ahụ
ọ bụ onye rụrụ arụ, ga-abụ onye rụrụ arụ ruo uhuruchi. Ọ ga-asa uwe ya, na ahụ ya
mmiri.
7 “ ‘Onye ọbụla metụrụ nwoke ahụ ihe si n’ahụ ya na-asọpụta aka ga-asa uwe ya
na ahụ ya mmiri, bụrụ onye rụrụ arụ ruo uhuruchi.
8 “ ‘Onye ọbụla dị ọcha nke onye ahụ bụsara ọnụ mmiri ga-abụ onye rụrụ arụ ruo
uhuruchi. Ọ ga-asa uwe ya na ahụ ya mmiri.
9 “ ‘Ihe ọbụla onye ahụ ji anọkwasị n’elu anụmanụ ọ na-agba ga-abụ ihe rụrụ arụ.
10 Onye ọbụla ga-eburu, maọbụ metụ ihe ọbụla o ji nọdụ ala aka ga-abụ onye rụrụ
arụ ruo uhuruchi. Ọ ga-asa uwe ya na ahụ ya mmiri.
11 “ ‘Ọ bụrụ na nwoke ahụ rụrụ arụ ebughị ụzọ saa aka ya tupu o metụ mmadụ
aka, onye ahụ o metụrụ aka ga-abụ onye rụrụ arụ ruo uhuruchi. Ọ ga-asa uwe ya na
ahụ ya mmiri.
12 “ ‘A ga-etiwa ite aja ọbụla onye ahụ metụrụ aka, jiri mmiri ṅachaa ihe osisi ọbụla
o metụrụ aka.
13 “ ‘Mgbe e mere ka onye ahụ bụrụ onye dị ọcha site n’ihe nsọpụta a, ọ ga-anọ
ụbọchị asaa maka ịdị ọcha ya. Ọ ga-asa uwe ya na ahụ ya n’ime mmiri na-asọ asọ
tupu ọ bụrụ onye dị ọcha. 14 N’ụbọchị nke asatọ, ọ ga-ewere nduru abụọ maọbụ
ụmụ kpalakwukwu abụọ bịa n’ihu ONYENWE ANYỊ n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute, were ha nye
onye nchụaja. 15 Onye nchụaja ga-eji ha chụọrọ ya aja n’ebe ahụ. Otu n’ime nnụnụ
abụọ ahụ ga-abụ maka aja mmehie, nke ọzọ maka aja nsure ọkụ. N’ụzọ dị otu a, ọ
ga-ekpuchiri nwoke ahụ mmehie ya n’ihu ONYENWE ANYỊ n’ihi ihe ọsụsọ ahụ.
16 “ ‘Nwoke ọbụla mkpụrụ nwa ya si ya n’amụ pụọ, ga-asa ahụ ya nke ọma, bụrụ
onye rụrụ arụ ruo uhuruchi. 17 A ga-asacha ihe ọbụla mkpụrụ nwa ahụ metụrụ,
maọbụ akwa maọbụ akpụkpọ anụ. Ha ga-abụ ihe rụrụ arụ ruo uhuruchi. 18 Mgbe
nwoke na nwanyị dinakọrọ, ma nwoke ahụ anyụpụta mkpụrụ nwa, ha abụọ ga-asa
ahụ ha nke ọma, bụrụ ndị rụrụ arụ ruo uhuruchi.
19 “ ‘Mgbe ọbara si nwanyị n’ahụ pụọ dịka o kwesiri n’oge a kara aka n’ọnwa ọbụla,
nwanyị ahụ ga-abụ onye rụrụ arụ ụbọchị asaa. Onye ọbụla metụrụ ya aka n’oge a
ga-abụ onye rụrụ arụ ruo uhuruchi.
20 “ ‘Ihe ọbụla o dinara n’elu ya n’oge a, maọbụ ihe ọ nọkwasịrị n’elu ya ga-arụ
arụ. 21 Onye ọbụla metụrụ ihe ndina ya aka, ga-asa uwe ya na ahụ ya. Ọ ga-abụ
onye rụrụ arụ ruo uhuruchi. 22 Onye metụrụ ihe o ji nọdụ ala aka ga-asa uwe ya na
ahụ ya. Ọ ga-abụ onye rụrụ arụ ruo uhuruchi. 23 Ọ bụrụkwa na ọ bụ ihe ndina ya,
maọbụ ihe ọzọ nke o ji nọdụ ala, onye ọbụla metụrụ ya aka ga-abụ onye rụrụ arụ
ruo uhuruchi.
24 “ ‘Nwoke dinakwuru nwanyị ọbara si n’ahụ ya na-apụta, ọ bụrụ na ọbara ahụ
emetụ ya, ọ ga-abụ onye rụrụ arụ abalị asaa. Ihe ndina ọbụla o dinara n’elu ya ga-abụ
ihe rụrụ arụ.
25 “ ‘Ọ bụrụ na ọbara si nwanyị n’ahụ na-apụta agafee oge o kwesiri ịkwụsị maọbụ
na ọ pụtara n’oge ọ na-ekwesighị ịpụta, nwanyị ahụ ga-anọgide bụrụ onye rụrụ arụ
ogologo ụbọchị ndị ahụ niile ọbara ahụ si ya n’ahụ na-apụta. 26 Ihe ọbụla o dinara
n’elu ya mgbe ọbara si ya n’ahụ na-apụta, maọbụ ihe ọbụla ọ nọdụrụ ala n’elu ya,
ga-abụ ihe rụrụ arụ, dịka mgbe ọbara nke oge a kara aka. 27 Onye ọbụla metụrụ ihe
ndina ya maọbụ ihe ọ nọdụrụ ala n’elu ya aka, ga-arụ arụ ruo uhuruchi. Ọ ga-asakwa
uwe ya na ahụ ya mmiri.
28 “ ‘Mgbe ọbara ahụ kwụsịrị, ọ ga-agụ ụbọchị asaa site n’oge ọ kwụsịrị. Mgbe abalị
asaa ahụ zuru, ọ ga-abụ onye dị ọcha. 29 N’ụbọchị nke asatọ, ọ ga-ewere nduru abụọ

maọbụ ụmụ kpalakwukwu abụọ, nye onye nchụaja n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute. [30] Onye
nchụaja ahụ ga-eji otu chụọrọ ya aja mmehie, werekwa nke ọzọ chụọrọ ya aja nsure
ọkụ. N’ụzọ dị otu a, ọ ga-ekpuchiri ya mmehie ya n’ihu Onyenwe anyị, n’ihi adịghị
ọcha nke ihe ọsụsọ ya.
[31] “ ‘Unu ga-ekewapụ ụmụ Izrel site n’ihe ndị ahụ na-emerụ ha, ka ha ghara ịnwụ
n’ọnọdụ adịghị ọcha ha n’ihi imerụ ụlọ nzute m, nke dị n’etiti ha.’ ”
[32] Ndị a bụ usoro iwu gbasara ndị ikom ihe si n’ahụ ha na-asọpụta, na ndị ikom
rụrụ arụ n’ihi mkpụrụ nwa si ha n’ahụ pụọ. [33] Ọ bụkwa iwu dịrị nwanyị ọbara
si n’ahụ ya pụọ n’oge a kara aka, na nwoke maọbụ nwanyị ọbụla ihe si n’ahụ ya
na-asọpụta, na nke dịrị nwoke ọbụla ya na nwanyị ga-edinakọ n’oge nwanyị ahụ bụ
onye rụrụ arụ.

# 16

*Ụbọchị mkpuchi mmehie*

[1] Onyenwe anyị gwara Mosis okwu mgbe ụmụ ndị ikom Erọn abụọ ndị ahụ bịara
n’ihu Onyenwe anyị nwụsịrị. [2] Onyenwe anyị sịrị Mosis, “Gwa nwanne gị nwoke
Erọn si ya ka ọ ghara ịbata mgbe ọbụla ọ chọrọ, n’ime Ebe ahụ Kachasị Nsọ nke dị
n’azụ akwa mgbochi, nke dị n’ihu ebe mkpuchi mmehie dị n’elu igbe ọgbụgba ndụ
ahụ, ma ọ bụghị ya ọ ga-anwụ. N’ihi na aga m apụta ìhè n’ime igwe ojii dị n’elu ebe
mkpuchi ahụ.
[3] “Otu a ka Erọn ga-esi na-abata n’Ebe ahụ Kachasị Nsọ. Ọ ga-eweta nwa oke ehi
n’ihi aja mmehie, na ebule ọ ga-eji chụọ aja nsure ọkụ, [4] Ọ ga-eyikwasị onwe ya uwe
mwụda ọcha,* ya na uwe ime ahụ dị ọcha. Ọ ga-eke gburugburu ukwu ya ihe ike
n’ukwu akwa ọcha, keekwa akwa ọcha n’isi ya. Ndị a bụ uwe dị nsọ, n’ihi ya, ọ
ga-ebu ụzọ saa ahụ tupu ọ na-eyi ha. [5] Ọ ga-esi n’aka ọgbakọ ụmụ Izrel nata mkpi
abụọ n’ihi aja mmehie, na otu ebule n’ihi aja nsure ọkụ.
[6] “Erọn ga-eweta oke ehi nke ya, maka aja mmehie iji kpuchie mmehie nke ya na
nke ezinaụlọ ya. [7] Emesịa, ọ ga-ewere mkpi abụọ ndị ahụ chee ha n’ihu Onyenwe
anyị n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ. [8] Ọ ga-efe nza n’isi mkpi abụọ ahụ, ịchọpụta nke
dịrị Onyenwe anyị nke ọzọ abụrụ nke ọ ga-ahapụ. [9] Mkpi ahụ nza mara ga-abụ nke
Onyenwe anyị, ya ka Erọn ga-egbu dịka aja mmehie. [10] Ma mkpi ahụ nke nza mara
dịka ewu na-ewere ọnọdụ iburu mmehie ka a ga-eche na ndụ n’ihu Onyenwe anyị,
n’ihi iji ya mee mmemme mkpuchi mmehie, a ga-ahapụ ya ka o buru mmehie niile
kpafuo n’ọzara.
[11] “Erọn ga-eweta oke ehi maka aja mmehie nke ya onwe ya, iji kpuchie mmehie ya
na nke ezinaụlọ ya. Ọ ga-egbu oke ehi ahụ maka aja mmehie nke ya onwe ya. [12] Ọ ga-
esite n’ebe ịchụ aja dị n’ihu Onyenwe anyị were ihe ịgụ ọkụ jupụtara n’icheku ọkụ.
Ọ ga-ewerekwa ụda na-esi isi ụtọ ruru mkpoju aka abụọ, were ha bata n’ime akụkụ
nke ọzọ nke akwa mgbochi ahụ. [13] N’ebe ahụ ọ ga-awụnye ụda ndị ahụ na-esi isi ụtọ
n’elu icheku ọkụ ahụ n’ihu Onyenwe anyị, ka anwụrụ ọkụ nke ụda ndị a kpuchie ebe
mkpuchi mmehie ahụ dị n’elu Ihe Ama ahụ ka ọ ghara ịnwụ. [14] Ọ ga-ewebatakwa
ụfọdụ ọbara oke ehi ahụ, jiri mkpịsịaka ya fesa ya n’ihu ebe mkpuchi mmehie ahụ,
n’akụkụ ọwụwa anyanwụ, fesakwa ya ugboro asaa n’ihu ebe mkpuchi mmehie ahụ.
[15] “Emesịa, ọ ga-esi n’ebe ahụ pụọ gaa gbuo mkpi aja mmehie ụmụ Izrel, werekwa
ọbara ya bata n’azụ akwa mgbochi fesa ya n’elu ebe mkpuchi mmehie ahụ, na n’ihu
ya, dịka o jiri ọbara nwa oke ehi ahụ mee. [16] N’ụzọ dị otu a, ọ ga-ekpuchiri Ebe ahụ
Kachasị Nsọ mmehie ya, n’ihi mmehie na nnupu isi ụmụ Izrel, ihe ọbụla mmehie ndị
ahụ bụ. Ọ ga-achụkwa ụdị aja a n’ihi ụlọ nzute ahụ, n’ihi na ọ dị n’etiti ebe obibi

* **16:4** 16:4 Ndị nchụaja na-eyipụ uwe ije ozi ha, hapụ ya n’ime ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, mgbe ha jesiri ozi. Izk 44:17-19

rụrụ arụ nke ụmụ Izrel. 17 O nweghị onye ọbụla ọzọ ga-anọ n'ime ụlọ nzute ahụ, site
n'oge Erọn banyere n'Ebe ahụ Kachasị Nsọ ịchụ aja mkpuchi mmehie tutu ruo mgbe
ọ pụtara, mgbe ọ chụchara aja mkpuchi mmehie maka onwe ya na ezinaụlọ ya, na
maka ụmụ Izrel niile.
18 "Mgbe o si n'ebe ahụ pụta, gaa n'ebe ịchụ aja dị n'ihu ONYENWE ANYỊ kpuchiere
ya mmehie ya. Ọ ga-ewere ụfọdụ ọbara nwa oke ehi ahụ na nke mkpi ahụ tee ya na
mpi niile dị n'ebe ịchụ aja ahụ. 19 Ọ ga-eji mkpịsịaka ya fesa ụfọdụ ọbara ahụ n'elu
ebe ịchụ aja ahụ ugboro asaa iji hichapụ adịghị ọcha ya n'ihi ịrụ arụ ụmụ Izrel, na
ido ya nsọ.
20 "Mgbe Erọn chụchara aja mkpuchi mmehie maka Ebe ahụ Kachasị Nsọ, ụlọ
nzute, nakwa ebe ịchụ aja, ọ ga-akpụbata mkpi ahụ e debere ndụ. 21 Ọ ga-ebikwasị
aka ya abụọ n'isi ya, kwupụta ajọ omume na nnupu isi ụmụ Izrel niile, mmehie ha
niile, bokwasị ha mkpi ahụ n'isi. Ọ ga-ezipụ mkpi ahụ pụọ n'ime ọzara site n'aka
onye ahụ a họpụtara ime nke a. 22 N'ụzọ dị otu a, mkpi ahụ ga-eburu mmehie ndị
ahụ niile baa n'ebe mmadụ ọbụla na-ebighị. Nwoke ahụ ga-ahapụkwa ya n'ọzara.
23 "Mgbe ahụ, Erọn ga-aba n'ime ụlọ nzute ahụ,† yipụ uwe akwa ọcha ndị nchụaja
ahụ niile o yi n'ahụ ya tupu ọ banye n'Ebe ahụ Kachasị Nsọ. Ọ ga-awụsa ha n'ebe
ahụ. 24 Ọ ga-eji mmiri saa ahụ ya n'akụkụ ebe nsọ ahụ, yirikwa uwe efu ya. Mgbe
ahụ, ọ ga-apụta bịa chụọ aja nsure ọkụ nke onwe ya, na aja nsure ọkụ nke ndị ahụ,
maka ikpuchiri onwe ya, na ikpuchikwara ndị ahụ mmehie ha. 25 Ọ ga-akpọkwa
abụba anụ e ji chụọ aja mmehie ahụ ọkụ n'elu ebe ịchụ aja.
26 "Mgbe nwoke ahụ kpụgara mkpi ahụ n'ọzara hapụ ya, lọtara, ọ ga-asa ahụ ya na
uwe ya tupu ọ laghachi n'ime obodo. 27 Oke ehi nakwa mkpi maka ịchụ aja mmehie
ahụ, bụ nke ewebatara ọbara ha n'ime Ebe ahụ Kachasị Nsọ, maka ikpuchi mmehie,
ka aghaghị ibupụ n'azụ ọmụma ụlọ ikwu; a ga-akpọ akpụkpọ ha, anụ ahụ ha na
mgbịrị afọ ha niile ọkụ. 28 Onye ga-akpọ ha ọkụ ga-asa uwe ya, saakwa ahụ ya tupu
ọ laghachi n'ime obodo.
29 "Nke a ga-abụrụ unu ụkpụrụ ebighị ebi. N'afọ ọbụla, unu ga-ebu ọnụ, hapụ ịrụ
ọrụ ọbụla, n'ụbọchị iri nke ọnwa asaa. Iwu a dịrị nwa afọ ala maọbụ onye ọbịa
bi n'etiti unu.‡ 30 N'ihi na n'ụbọchị a ka a na-ekpuchiri unu mmehie unu, ime ka
unu dịrị ọcha. Mgbe ahụ, unu ga-abụ ndị dị ọcha site na mmehie unu niile n'ihu
ONYENWE ANYỊ. 31 Ọ bụ ụbọchị izuike nye unu, bụrụkwa ụbọchị unu ga-ebu ọnụ.
Iwu a enweghị mgbanwe! 32 Onye nchụaja e tere mmanụ, nke e doro nsọ dịka onye
nchụaja ịnọchi nna ya, ga-achụ aja mkpuchi mmehie ndị a, yirikwa akwa ọcha ahụ,
bụ uwe nsọ ahụ. 33 Ọ ga-ekpuchiri Ebe ahụ Kachasị Nsọ na ụlọ nzute, ebe ịchụ aja
na ndị nchụaja, na mkpokọta ndị obodo niile mmehie ha.
34 "Nke a ga-abụ iwu ebighị ebi nye unu. Otu ugboro n'otu afọ ka a ga-ekpuchi
mmehie maka mmehie ndị Izrel niile."
E mezuru ihe ndị a niile dịka ONYENWE ANYỊ si nye ya Mosis n'iwu.

# 17

*Iwu banyere iri ọbara*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 2 "Gwa Erọn, na ụmụ ya ndị ikom, na ụmụ Izrel
niile okwu sị ha, 'Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ nyere n'iwu. 3 Onye ọbụla bụ onye ụlọ
Izrel gbuo ehi, maọbụ nwa atụrụ, maọbụ ewu n'ogige ebe obibi,* maọbụ n'azụ ebe
obibi, 4 ma o wetaghị ya n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute iche ya dịka onyinye n'ihu ONYENWE
ANYỊ, n'ihu ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, a ga-agụ onye ahụ dịka onye ikpe iwufu ọbara
mara. Ọ wụfuola ọbara, n'ihi ya, a ga-esite n'etiti ndị ya kewapụ ya. 5 Ihe e ji nye

† **16:23** 16:23 Izk 42:14 ‡ **16:29** 16:29 Lev 23:27,32; Ọnụ 29:7 * **17:3** 17:3 Ya bụ ọmụma ụlọ ikwu

iwu a bụ ka ụmụ Izrel wetara ONYENWE ANYỊ aja niile ha na-achụ ugbu a na mbara
ezi ọbụla. Ha kwesiri iwetara ya ONYENWE ANYỊ site n'aka onye nchụaja n'ọnụ ụzọ
ụlọ nzute, ka o jiri ya chụọrọ ha aja udo. 6 N'ụzọ dị otu a, onye nchụaja ga-efesa
ọbara ahụ n'ebe ịchụ aja dị n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute, kpọọkwa abụba ya ọkụ, ka ọ bụrụ
aja nsure ọkụ nke isisi ya dị ONYENWE ANYỊ ezi ụtọ. 7 O kwesikwaghị ka ndị Izrel chụọ
aja ha ọzọ na mbara ezi nye arụsị ewu ndị ha na-akpọ isiala nye. Iwu a ga-adịgide
nye ha na ụmụ ha niile, site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.'

8 "Gwa ha, 'Onye Izrel ọbụla, maọbụ onye ọbịa bi n'etiti unu, nke ga-achụ aja nsure
ọkụ maọbụ aja ọzọ, 9 ma o webataghị ya n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute, ebe a ga-achụrụ ya
ONYENWE ANYỊ, ka a ga-ewezuga site n'etiti ndị ya.

10 " 'Onye Izrel ọbụla maọbụ onye ọbịa bi n'etiti ha, nke riri ọbara ọbụla ka m
ga-eche ihu m megide. A ga-ewezuga ya site n'etiti ndị m. 11 N'ihi na ndụ ihe nwere
ndụ dị n'ọbara ya, ọ bụ n'ihi nke a ka m ji nye iwu na a ga-awụsa ọbara niile n'elu
ebe ịchụ aja, maka iji ya kpuchie mmehie unu. Ọ bụ ọbara na-ekpuchi mmehie maka
ndụ mmadụ.† 12 N'ihi nke a, a sịrị ndị Izrel, "Ọ dịghị onye ọbụla n'etiti unu, maọbụ
onye ọbịa ọbụla nke bi n'etiti unu ga-eri ọbara."

13 " 'Onye Izrel ọbụla, na onye ọbịa ọbụla binyere unu nke gara ịchụ nta, gbuo anụ
maọbụ nnụnụ ọbụla a na-eri eri, ga-awụfu ọbara ya were aja kpuchie ya. 14 N'ihi
na ndụ ihe niile nwere ndụ dị n'ọbara. Ọ bụ ya mere m ji nye ụmụ Izrel iwu si unu
erila ọbara anụmanụ ọbụla, n'ihi na ndụ ihe niile nwere ndụ dị n'ọbara ya. N'ihi
ya onye ọbụla riri ọbara, a ga-ekewapụ ya site n'etiti ndị m.

15 " 'Mmadụ ọbụla, maọbụ nwa afọ ma ọ bụkwanụ onye ọbịa, nke riri anụ nwụrụ
n'onwe ya, maọbụ nke anụ ọhịa dọgburu,‡ ga-eji mmiri saa uwe ya na ahụ ya, ọ
ga-abụkwa onye rụrụ arụ ruo uhuruchi tupu ọ dị ọcha ọzọ. 16 Ma ọ bụrụ na ọ saghị
uwe ya na ahụ ya, ikpe ọmụma dị ya n'isi.' "

# 18

*Iwu banyere mmekọ dị iche iche*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 2 "Gwa ụmụ Izrel okwu ndị a sị ha, 'Mụ
onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu. 3 Ya mere, ọ bụ ezie na unu ebiela n'etiti
ndị Ijipt, ma unu ekwesighị ibi ndụ unu dịka ha si ebi. Unu ekwesịkwaghị ibi ndụ
dịka ndị Kenan ebe m na-akpọbata unu. Unu agbasola omenaala ha. 4 Unu ga-edebe
iwu m niile, gbasookwa ụkpụrụ m niile n'ihi na abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu.
5 Debenụ iwu m na ụkpụrụ m, n'ihi na onye na-edebe ha ga-adị ndụ* site na ha. Abụ
m ONYENWE ANYỊ.

6 " 'Onye ọbụla ya na mmadụ bụ nwanne e jekwurukwala ya ka ha nwe mmekọ
edina, i ji kpughee ọtọ ya. Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.

7 " 'Ị gaghị eleda nna gị anya site na i jekwuru nne gị ka gị na ya nwe mmekọ edina.
Nne gị ka ọ bụ; gị na ya agaghị enwe ụdị mmekọ dị otu a.

8 " 'Ị gaghị e jekwuru nwunye nna gị ka gị na ya nwe mmekọ edina. Nke a bụ ileda
nna gị anya.

9 " 'Ị gaghị e jekwuru nwanne gị nwanyị ka gị na ya nwe mmekọ edina, maọbụ nwa
nwanyị nke a mụụrụ nna gị, maọbụ nwa nwanyị nke nne gị mụrụ, ma a mụrụ ya
n'ụlọ ma a mụrụ n'ama.

10 " 'Ị gaghị e jekwuru nwa nwanyị nke nwa gị nwoke mụrụ, maọbụ nwa nwanyị
nke nwa gị nwanyị mụrụ i nwe mmekọ edina; n'ihi na nke a ga-eweta nleda anya
nye gị.

---

† **17:11** 17:11 Hib 9:22 ‡ **17:15** 17:15 Ọpụ 22:31 * **18:5** 18:5 Izk 20:11; Rom 10:5

11 " 'Ị gaghị e jekwuru nwa nwanyị nwunye nna gị mụrụ, ka gị na ya nwe mmekọ
edina, n'ihi na ọ bụ nwa nna gị mụrụ; nwanne gị nwanyị ka ọ bụ.
12 " 'Ị gaghị e jekwuru nwanne nwanyị nna gị ka gị na ya nwe mmekọ edina, n'ihi
na ọbara jịkọrọ ya na nna gị, ha bụ otu ahụ.
13 " 'Ị gaghị e jekwuru nwanne nne gị nke nwanyị, ka gị na ya nwe mmekọ edina,
n'ihi na ọbara jịkọrọ ya na nne gị, ha bụ otu ahụ.
14 " 'Ị gaghị eleda nwanne nna gị nke nwoke anya, site n'ijekwuru nwunye ya, ka
gị na ya nwe mmekọ edina. N'ihi na nwunye nwanna gị ka ọ bụ.
15 " 'Ị gaghị e jekwuru nwunye nwa gị nwoke ka gị na ya nwe mmekọ edina; nwunye
nwa gị nwoke ka ọ bụ; gị na ya agaghị enwe mmekọrịta ọbụla gosiri mkpughe ọtọ
ya.
16 " 'Ị gaghị e jekwuru nwunye nwanne gị nwoke ka gị na ya nwe mmekọ edina,
n'ihi na nke a bụ omume nleda anya nye nwanne gị nwoke.
17 " 'Ị gaghị e jekwuru nwanyị na nwa ya nwanyị ka gị na ha nwe mmekọ edina.
Ị gaghị akpọrọ nwa nwanyị nwa ya nwoke, maọbụ nwa nwanyị nke nwa ya nwanyị
mụrụ dinaa ya; n'ihi na otu ọbara ka ha bụ. Ihe dị otu a bụ arụ.
18 " 'Ị gaghị alụ nwanne nwanyị nwunye gị, dịka nwunye ọzọ gị, n'ihi ịkpagbu ya,
gị na ya a na-enwe mmekọrịta edina, ị na-ekpughe ọtọ nwunye gị mgbe ọ ka dị ndụ.
19 " 'E jekwurukwala nwanyị ka gị na ya nwe mmekọ edina, mgbe ọ nọ n'ọnọdụ
adịghị ọcha nke (ịsọ ụba) nsọ nwanyị ya n'oge a kara aka.
20 " 'A kpọrọkwala nwunye onye agbataobi gị idina ya, si otu a merụọ onwe gị n'ihi
mmekọ dị otu a.†
21 " 'Ị gaghị enye nwa gị ka e jiri ya chụọrọ Molek aja.‡ N'ihi na i kwesighị imerụ
aha Chineke gị. Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.
22 " 'Gị na nwoke edinala, dịka nwanyị na nwoke si edina. Ihe akpọrọ asị ka ọ bụ.
23 " 'Gị na anụmanụ ọbụla edinakwala, site otu a merụọ onwe gị. Nwanyị
agakwaghị ewere onwe ya nye ka ya na oke anụmanụ nwee mmekọrịta, arụ a na-
adịghị eme eme ka ọ bụ.
24 " 'Unu emerụkwala onwe unu site na-ime ihe ndị a, n'ihi na ihe ndị a bụ ihe mba
ndị ahụ na-eme. Ọ bụkwa n'ihi ya ka m ga-eji chụpụ ha site n'ala ahụ m ga-enye unu.
25 Ọ bụladị ala ahụ niile ghọrọ ihe rụrụ arụ site n'omume ndị a. Ọ bụ nke a mere m
ji ata ndị bi n'ime ya ahụhụ n'ihi mmehie ha. Ala ahụ meghere ọnụ ya gbọpụta ndị
bi n'ime ya. 26 Unu ga-edebe iwu m na ụkpụrụ m ndị a niile. Unu emekwala ihe arụ
ndị a, ma ndị amụrụ n'ala ma ndị ọbịa niile bi n'etiti unu. 27 Ala m na-aga inye unu
rụrụ arụ n'ihi na ndị bi n'ime ya na-eme omume ndị a rụrụ arụ. 28 Unu emekwala
ihe arụ ndị a, n'ihi na ọ bụrụ na unu emee ha, ọ ga-emeghe ọnụ ya gbọpụta unu,
dịka o si mee mba niile bụ ndị buru unu ụzọ biri n'ime ya.
29 " 'Onye ọbụla n'etiti unu mere ihe arụ ndị a, ka a ga-ekewapụ site n'etiti ndị ya.
30 N'ihi ya, lezienụ anya ka unu debe iwu m, ka unu ghara ime ihe arụ ndị a, nke ndị
buru unu ụzọ biri n'ala ahụ mere. Ka unu gharakwa imerụ onwe unu site n'omume
arụ ndị a. Abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu.' "

# 19

*Iwu ndị ọzọ*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 2 "Gwa ọgbakọ ụmụ Izrel niile okwu sị
ha: 'Dịnụ nsọ, n'ihi na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu, dị nsọ.
3 " 'Onye ọbụla n'ime unu aghaghị ịsọpụrụ nne na nna ya, debekwa iwu m nyere
maka ụbọchị izuike, n'ihi na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu.

---

† **18:20** 18:20 Ọpụ 20:14; Mat 5:27-28; 1Kọ 6:9; Hib 13:4 ‡ **18:21** 18:21 Lev 20:2-5

4 " 'Unu akpọla isiala nye arụsị, unu emekwarala onwe unu chi ndị e ji ọla kpụọ.
Mụ onwe m bụ Onyenwe anyị Chineke unu.
5 " 'Mgbe unu ga-achụrụ Onyenwe anyị aja udo, soronụ ụkpụrụ m nyere unu chụọ
ya, ka m nabata ya. 6 Unu ga-eri ya n'ụbọchị ahụ unu chụrụ ya, maọbụ n'ụbọchị nke
na-eso ụbọchị ahụ. Nke ọbụla fọdụrụ ruo ụbọchị nke atọ ka unu ga-esure ọkụ. 7 Ọ
bụrụ na unu erie ya n'ụbọchị nke atọ ihe arụ ka ọ bụ. A gaghị anabata aja ọbụla
unu ga-eri n'ụbọchị nke atọ. 8 Ikpe ga-ama onye ga-eri ya n'ụbọchị nke atọ n'ihi na
o meela ka ihe nsọ Onyenwe anyị bụrụ ihe arụ. A ga-ekewapụ onye ahụ site n'etiti
ndị ya.
9 " 'Mgbe unu na-ewe ihe ubi, unu ewechala ihe niile dị n'akụkụ ubi niile, maọbụ
chịkọtachaa irighiri ihe ubi niile fọdụrụ n'ala. 10 A ghọrọchakwala mkpụrụ vaịnị
niile mịrị n'elu vaịnị gị, maọbụ chịkọrọ mkpụrụ ndị dara n'ala. Hapụrụ ha ụmụ
ogbenye na ndị ọbịa, n'ihi na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị Chineke unu.
11 " 'Unu ezula ohi.
" 'Unu aghala ụgha.
" 'Unu aghọgbula ibe unu.
12 " 'Unu aṅụla iyi ụgha, si otu a weta nkọcha nye aha Onyenwe anyị Chineke unu.
Abụ m Onyenwe anyị.
13 " 'Unu ejila ike pụnara onye agbataobi unu ihe ya, maọbụ zuru ihe o nwere n'ohi.
" 'Kwụọnụ onye ọbụla unu goro ọrụ ụgwọ ọrụ ya ọsịịsọ. Unu echela ka chi bọọ
tupu unu akwụọ ya ụgwọ ya.
14 " 'Akọchala onye ntị chiri, edochikwarala onye ìsì ihe n'ụzọ. Tụọ egwu Chineke.
Abụ m Onyenwe anyị.
15 " 'Unu ekpela ikpe na-ezighị ezi, unu elela mmadụ anya n'ihu mgbe unu na-ekpe
ikpe, ma onye unu na-ekpe ikpe ọ bụ ọgaranya maọbụ ogbenye. Kama kpeenụ ikpe
kwụ ọtọ.
16 " 'Unu ejegharịla na-agbasa okwu nkwujọ n'etiti ndị mmadụ.
" 'Emela ihe ọbụla ga-ebutere onye agbataobi gị ọnwụ. Abụ m Onyenwe anyị.
17 " 'Akpọla nwanne gị asị n'ime obi gị. Tụọ onye agbataobi gị mmehie ya n'ihu ya,
ka ị ghara iketa oke n'ikpe ọmụma dịrị ya.
18 " 'Abọla ọbọ, ebukwala iro n'obi megide onye ọbụla n'etiti ndị gị. Kama hụ onye
agbataobi gị n'anya dịka i si hụ onwe gị n'anya. Mụ onwe m bụ Onyenwe anyị unu.
19 " 'Unu ga-edebe iwu m niile.
" 'Unu ejila otu ụdị anụ ụlọ unu na-agba ụdị anụ ụlọ ọzọ dị iche.
" 'Akụla ụdị mkpụrụ abụọ n'ubi.
" 'Eyila uwe e ji ụzọ ihe abụọ, dịka ajị anụ na ogho dụọ.
20 " 'Ọ bụrụ na nwoke ọbụla akpọrọ nwaagbọghọ bụ ohu nwanyị nke a na-
agbapụtabeghị, maọbụ nke na-enwerebeghị onwe ya, nke nwoke ọzọ chọrọ ịlụ,
mee ka ha abụọ dinakọọ, a ga-ekpe ha abụọ ikpe n'ụlọikpe, ma a gaghị egbu ha,
n'ihi na nwanyị ahụ abụghị onye nwe onwe ya. 21 Ma nwoke ahụ ga-eweta aja ikpe
ọmụma nye Onyenwe anyị n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute. Ọ ga-abụkwa ebule ka ọ ga-eji chụọ
aja ahụ. 22 Onye nchụaja ga-eji ebule aja ikpe ọmụma ahụ chụọrọ nwoke ahụ aja
mkpuchi mmehie ya n'ihu Onyenwe anyị, n'ihi mmehie o mere. A ga-agbaghakwara
ya mmehie ya.
23 " 'Mgbe unu batara n'ala ahụ kụọ mkpụrụ osisi dị iche iche, unu erila mkpụrụ
osisi ahụ mịrị n'afọ nke mbụ, ọ bụ ihe rụrụ arụ. Ruo n'afọ nke atọ, ha bụ ihe rụrụ
arụ. Unu agaghị eri ha. 24 N'afọ nke anọ, mkpụrụ nke osisi ndị ahụ niile ga-amị dị
nsọ. Unu ga-eji ya nye Onyenwe anyị onyinye otuto. 25 Site n'afọ nke ise, mkpụrụ
ọbụla ga-abụ nke unu. N'ụzọ dị otu a ihe ha ga-amịpụta ga-adị ukwuu. Mụ onwe m
bụ Onyenwe anyị Chineke unu.

26 “ ‘Unu erila anụ ọbụla ọbara dị n’ime ya.
“ ‘Unu agbala afa maọbụ jụta mmụọ ase.
27 “ ‘Unu akpụchala agịrị isi dị gburugburu akụkụ isi unu, maọbụ chabie ọnụ ọnụ
afụọnụ unu.
28 “ ‘Unu akala ihe ọbụla n’ahụ unu, n’ihi onye nwụrụ anwụ maọbụ jiri mma ọkụ
dee ihe n’ahụ unu. Abụ m Onyenwe anyị.
29 “ ‘Emerụla nwa gị nwanyị site n’ịkwagide ya ka ọ bụrụ akwụna, ka ala unu
ghara ijupụta n’ịgba akwụna na ihe ọjọọ dị iche iche.
30 “ ‘Debenụ iwu niile m nyere maka ụbọchị izuike m. Sọpụkwaranụ ebe nsọ m.
Abụ m Onyenwe anyị.
31 “ ‘Unu ejekwurula ndị na-ajụ mmụọ ọjọọ ase maọbụ chọgaa ndị dibịa afa, n’ihi
na unu ga-emerụ onwe site na ha. Mụ onwe m bụ Onyenwe anyị Chineke unu.
32 “ ‘Bilienụ ọtọ n’ihu okenye, sọpụrụnụ ndị okenye, ma tụọnụ egwu Chineke unu.
Abụ m Onyenwe anyị.
33 “ ‘Mgbe onye ọbịa soro unu biri n’ala unu, unu emejọla ya. 34 Mesonụ onye ọbịa
bi n’etiti unu mmeso dịka ọ bụ otu n’ime ndị amụrụ n’ala. Hụnụ ha n’anya dịka unu
si hụ onwe unu, n’ihi na o nwere oge unu bụ ọbịa n’ala Ijipt. Abụ m Onyenwe anyị
Chineke unu.
35 “ ‘Unu ejila ihe ọtụtụ aghụghọ mgbe unu na-atụ ihe dị ogologo, maọbụ ihe dị arọ,
maọbụ ihe dị ukwuu, 36 Jirinụ ezi ihe ọtụtụ tụọ ogologo, maọbụ ihe dị arọ, maọbụ
ihe dị ukwuu. Abụ m Onyenwe anyị Chineke unu, onye si n’ala Ijipt kpọpụta unu.
37 “ ‘Debenụ ụkpụrụ m niile, na iwu m niile, gbasoonụ ha. Abụ m Onyenwe anyị.’ ”

# 20

*Ahụhụ n’ihi mmehie*

1 Onyenwe anyị sịrị Mosis, 2 “Gwa ụmụ Izrel, ‘Onye Izrel ọbụla maọbụ onye ọbịa
ọbụla bi n’etiti unu, nke weere nwa ya nye maka ịchụrụ Molek aja, aghaghị ime ka ọ
nwụọ. Ndị mmadụ ga-ewere nkume tugbuo ya. 3 Mụ onwe m ga-emegide onye ahụ,
bipụ ya site n’etiti ndị ya, n’ihi na o merụọla ebe nsọ m, mee ka aha m gharakwa
ịdị nsọ, site n’iji ụmụ ya chụọrọ Molek aja. 4 Ọ bụrụ na ndị obodo elezie anya mee
omume dịka a ga-asị na ha amaghị ihe onye ahụ mere, hapụkwa igbu ya, mgbe o
were otu n’ime ụmụ ya nye Molek, 5 mụ onwe m ga-emegide onye ahụ na ezinaụlọ
ya bipụ ha site n’etiti ndị ya. Otu a kwa ka m ga-eme ya na ndị niile so ya merụọ
onwe ha site n’ife arụsị Molek.
6 “ ‘Aga m edo ihu m megide onye ọbụla gara jụọ ase site n’aka mmụọ ọjọọ, maọbụ
onye gara na dibịa afa gbaa afa, site n’iso ha kwaa iko. Aga m ekewapụ onye ahụ
site n’etiti ndị ya.
7 “ ‘Doonụ onwe unu nsọ, ma dịkwanụ nsọ n’ihi na abụ m Onyenwe anyị Chineke
unu. 8 Debenụ ụkpụrụ m niile, ma gbasoonụ ha n’ihi na abụ m Onyenwe anyị onye
na-edo unu nsọ.
9 “ ‘Onye ọbụla kọchara nne ya maọbụ nna ya ka a ga-egbu n’ihi na ọ kọchara nne
na nna ya. Ọbara onye dị otu a ga-adịkwa ya n’isi.
10 “ ‘Ọ bụrụ na nwoke ọbụla edinakwuru nwunye nwoke ọzọ, ya bụ nwunye onye
agbataobi ya, nwoke ahụ na nwanyị kwara iko ka a ga-egbu.
11 “ ‘Nwoke ọbụla ya na nwunye nna ya dinakọrọ nwe mmekọ, emerụọla nna ya.
A ga-egbu nwoke ahụ na nwanyị ahụ. Ọbara ha ga-adị ha n’isi.
12 “ ‘Ọ bụrụ na nwoke ọbụla edinakwuru nwunye nwa ya, wetara onwe ha ikpe
ọmụma, a ga-egbu ha abụọ n’ihi na ọ bụ arụ ka ha mere.

13 “ ‘Ọ bụrụ nwoke na nwoke ibe ya edinakọọ nwee ụdị mmekọ edina nwoke na
nwanyị, a ga-egbu ha abụọ n’ihi na ihe ha mere bụ ihe rụrụ arụ. Ọbara ha ga-adị ha
n’isi.
14 “ ‘Ọ bụrụ na nwoke alụọ nwanyị na nne mụrụ ya, ajọ ihe ka ọ bụ. Nwoke ahụ
na ndị inyom ndị ahụ ka a ga-akpọ ọkụ, ka ihe ọjọọ dị otu a hapụ ịdị n’etiti unu.
15 “ ‘Ọ bụrụ na nwoke na anụmanụ enwee mmekọrịta, a ga-egbu nwoke ahụ
gbukwaa anụmanụ ahụ.
16 “ ‘Ọ bụrụ na nwanyị ọbụla abịaruo anụmanụ ọbụla nso dinakwuru ya inwe
mmekọ, a ga-egbu nwanyị ahụ na anụmanụ ahụ, n’ihi na ha kwesiri ọnwụ. Ọbara
ha ga-adị ha n’isi.
17 “ ‘Nwoke ọbụla ya na nwanne ya nwanyị nwere mmekọ edina, maọbụ nwa afọ
nne ya maọbụ nwa nwunye nna ya, a ga-ekpochapụ ha site n’ihu ọha mmadụ n’ihi
na ọ bụ ihe ihere dị ukwuu ka ha mere. Ọ merụọla nwanne ya, n’ihi ya ikpe ọmụma
dị ya n’isi.
18 “ ‘Nwoke ọbụla nke ya na nwanyị nọ na nsọ nwanyị ya dinakọrọ nwee mmekọ
ekpugheela adịghị ọcha nwanyị ahụ. Nwanyị ahụ n’onwe ya ekpugheekwala adịghị
ọcha nke ya. A ga-ebipụ ha abụọ site n’etiti ndị ha.
19 “ ‘Ị gaghị enwe mmekọ edina n’etiti gị na nwanne nwanyị nne gị maọbụ nwanne
nwanyị nna gị, n’ihi na nke a bụ ihe nleda anya nye onye ọbara jịkọrọ gị na ya. Ikpe
ọmụma ga-adịrị unu abụọ.
20 “ ‘Ọ bụrụ na nwoke ọbụla na nwunye nwanne nna ya edinaa, ọ bụ omume ileda
anya nye nwanne nna ya. Ha ga-ebu mmehie ha. Ha ga-anwụ na-amụtaghị nwa.
21 “ ‘Ọ bụrụ na nwoke alụọ nwunye nwanne ya, ọ bụ omume rụrụ arụ, n’ihi na ọ
bụ ihe nleda anya nye nwanne ya. Ha ga-agba aka nwa.
22 “ ‘Debenụ iwu ndị a na ụkpụrụ ndị a, ma gbasoonụ ha ka ala ahụ m na-eduba
unu n’ime ya hapụ imeghe ọnụ ya gbụpụ unu. 23 Unu agbasola omenaala ndị mba
niile a m na-achụpụ site n’ala m na-enye unu, n’ihi na ha na-eme ihe ndị a niile m
nyere unu n’iwu emela. Ọ bụ nke a mere ihe banyere ha ji sọọ m oyi. 24 Ma agwala
m unu sị, “Unu ga-eketa ala ha. Aga m enye ya unu ka ọ bụrụ ihe nketa unu. Ala
mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya.” Abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu onye
kewapụtara unu doo unu iche site na mba ndị ọzọ niile.
25 “ ‘Unu aghaghị ịkpa oke n’etiti anụmanụ ndị dị ọcha iri eri, na anụmanụ ndị
na-adịghị ọcha, na n’etiti anụ ufe dị ọcha iri eri na ndị rụrụ arụ.* Unu emerụla
onwe unu site n’iri anụmanụ maọbụ anụ ufe, maọbụ ihe ọzọ na-akpụgharị n’ala,
ndị ahụ m kewapụrụ iche dịka ihe rụrụ arụ. 26 Unu ga-adị nsọ nye m, n’ihi na mụ,
bụ ONYENWE ANYỊ, dị nsọ. Ekewapụtala m unu, doo unu iche, site n’etiti ndị mba ọzọ
niile, ka unu bụrụ nke m.
27 “ ‘A ga-eji nkume tugbuo nwoke maọbụ nwanyị ọbụla nke na-ajụ mmụọ ọjọọ ase,
maọbụ dibịa afa nọ n’etiti unu ka ọ nwụọ. Ọbara ha ga-adịkwa ha n’isi.’ ”

# 21

*Iwu nke ndị nchụaja*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, “Gwa ndị nchụaja, ụmụ ndị ikom Erọn okwu sị
ha, ‘Onye nchụaja ekwesighị imerụ onwe ya mgbe mmadụ nwụrụ n’etiti ụmụnna ya.
2 Karịakwa ma onye ahụ bụ onye dị ya nnọọ nso, dịka nne ya, maọbụ nna ya, maọbụ
nwa ya nwoke, maọbụ nwa ya nwanyị, maọbụ nwanne ya nwoke, 3 maọbụ nwanne
ya nwanyị na-alụbeghị di, onye ọ na-elekọta n’ihi na o nweghị di. N’ihi ya, o nwere
ike merụọ onwe ya. 4 Ma ọ gakwaghị eme onwe ya ka ọ ghara ịdị ọcha n’etiti ndị
ọgọ ya, ma site otu a merụọ onwe ya.

* **20:25** 20:25 Dit 14:3-21

5 “ ‘Ndị nchụaja ekwesighị ịkpụcha isi ha, maọbụ kpụchapụ akụkụ afụọnụ ha,
maọbụ kaa ihe ọbụla n’akpụkpọ ahụ ha.* 6 Ha ga-abụ ndị dị nsọ nye Chineke ha, ndị
na-agaghị emekwa ka aha Chineke ha ghara ịdị nsọ. N’ihi na ọ bụ ha na-eche n’ihu
ONYENWE ANYỊ onyinye aja nsure ọkụ, bụ nri Chineke ha. N’ihi ya, ha aghaghị ịdị
nsọ.
7 “ ‘Onye nchụaja agaghị alụ nwanyị e merụrụ site n’ịgba akwụna, maọbụ nwanyị
lụtụrụla di nke kewapụrụ onwe ya site n’ahụ di ya, n’ihi na ndị nchụaja bụ ndị dị
nsọ nye Chineke ha. 8 Gụọ ha dịka ndị dị nsọ n’ihi na ọ bụ ha na-eche nri Chineke
n’ihu ya. Gụọ ha dịka ndị dị nsọ n’ihi na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ dị nsọ, mụ
onwe m na-eme ka unu dị nsọ.
9 “ ‘Ọ bụrụ na nwa nwanyị onye nchụaja emerụọ onwe ya site n’ịghọ onye akwụna,
o sitela na ndụ ọjọọ dị otu a wetara nna ya ihe ihere. A ga-akpọ ya ọkụ.
10 “ ‘Onyeisi nchụaja, onye ahụ sitere n’etiti ụmụnna ya, onye awụsara mmanụ nsọ
n’isi ya, onye ahọrọ doo nsọ iyiri uwe onye nchụaja ahụ, agaghị ahapụ agịrị isi ya
ka ọ kpasasịa, maọbụ dọwaa uwe ya. 11 Ọ gaghị abanye ebe ozu dị. Ọ gaghị emerụ
onwe ya, ọ bụladị ma ozu ahụ ọ bụ nke nne ya maọbụ nke nna ya. 12 Ọ gaghị esi
n’ebe nsọ Chineke ya pụọ, maọbụ mee ya ka ọ ghara ịdị nsọ, n’ihi na e doola ya nsọ
site na ite ya mmanụ nsọ nke Chineke ya. Abụ m ONYENWE ANYỊ.
13 “ ‘Nwanyị onyeisi nchụaja ga-alụ ga-abụ nwanyị na-amaghị nwoke. 14 Ọ gaghị
alụ nwanyị di ya nwụrụ, maọbụ nwanyị ya na di ya na-ebikwaghị, maọbụ nwanyị
akwụna. Nwanyị ọ ga-alụ ga-abụ naanị nwanyị na-amaghị nwoke nke si n’etiti
ụmụnna ya, 15 ka ọ ghara ime ka ụmụ ya ghara ịdị nsọ n’etiti ụmụnna ya. Abụ
m ONYENWE ANYỊ onye na-edo ya nsọ.’ ”
16 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 17 “Gwa Erọn, ‘N’ọgbọ niile nke na-abịa, o nweghị
onye ọbụla n’ime ụmụ ụmụ gị nke akụkụ ahụ ya na-ezughị oke ga-abịa nso iwetara
Chineke ya ihe oriri. 18 O nweghị nwoke ọbụla nwere ọrụsị ọbụla ga-abịa nso,
o nweghị nwoke kpuru ìsì, maọbụ onye ngwụrọ, maọbụ onye imi mpịa, maọbụ
onye ụkwụ maọbụ aka ya na-ezughị oke,† 19 maọbụ onye ọkpụkpụ ụkwụ ya maọbụ
ọkpụkpụ aka ya gbajiri, 20 maọbụ onye mkpumkpu azụ dị, maọbụ nwa akakpọ,
maọbụ onye na-adịghị ahụzi ụzọ, maọbụ onye agba na-ata, maọbụ onye akpụkpa
dị n’ahụ, maọbụ onye mkpụrụ amụ ya chipịara echipịa. 21 O nweghị nwa nwa
Erọn onye nchụaja ọbụla nwere ọrụsị ga-abịa iwetara ONYENWE ANYỊ aja onyinye
site n’ọkụ. Ebe ọ bụ na o nwere ọrụsị, ọ gaghị abịa nso iwetara Chineke ya nri. 22 Ma
o nwere ike iri nri ahụ dịkarịsịrị nsọ nke sitere na nri Chineke ya, tinyekwara nri
ahụ dị nsọ. 23 Kama ọ gaghị abịa nso akwa mgbochi ahụ maọbụ bịaruo ebe ịchụ aja
nso, n’ihi ezughị oke ya. Ka ọ ghara imerụ ebe nsọ m, n’ihi na abụ m ONYENWE ANYỊ
onye na-edo ha nsọ.’ ”
24 Ya mere Mosis nyere Erọn na ụmụ ya ndị ikom na ụmụ Izrel niile iwu ndị a.

## 22

*Ịdị nsọ nke onyinye ọchụchụ aja*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 2 “Gwa Erọn na ụmụ ya ndị ikom ka ha jiri nsọpụrụ
nabata onyinye dị nsọ nke ụmụ Izrel na-edo nsọ nye m, ka ha ghara imerụ aha nsọ
m. Abụ m ONYENWE ANYỊ.
3 “Gwa ha sị, ‘N’ọgbọ unu niile na-abịa, ọ bụrụ na enwee onye ọbụla n’agbụrụ unu
nke bịara nso n’ihe ndị ahụ dị nsọ ụmụ Izrel na-edo nsọ nye ONYENWE ANYỊ, mgbe
onye ahụ nọ ọnọdụ dịka onye rụrụ arụ, a ga-esi n’ihu m wezuga onye ahụ. Abụ m
ONYENWE ANYỊ.

* **21:5** 21:5 Lev 19:28; Izk 44:20 † **21:18** 21:18 Ihe ndị a gụnyere ma mmadụ ma anụmanụ, dịka e depụtara ha site n’amaokwu iri na isii gbadaa.

4 " 'Onye ọbụla bụ nwa nwa Erọn nke ọrịa ekpenta na-arịa, maọbụ nke ihe si n'ahụ
ya na-asọpụta agaghị eri aja dị nsọ tutu ruo mgbe e mere ka ọ dịrị ọcha. Ọ ga-abụkwa
onye rụrụ arụ ma ọ bụrụ na o metụ ozu aka, maọbụ onye mkpụrụ nwa na-esite n'ahụ
awụsị, 5 maọbụ na o metụrụ anụ na-akpụgharị akpụgharị n'ala aka, nke na-emerụ
ya, maọbụ na ọ metụrụ mmadụ aka nke mere ka ọ bụrụ onye rụrụ arụ n'agbanyeghị
ihe ọ bụ na-emerụ ya. 6 Onye ahụ metụrụ ihe ndị a aka ga-abụ onye rụrụ arụ ruo
uhuruchi. Ọ gaghị eri ihe nsọ ọbụla tutu ruo mgbe ọ sachara ahụ. 7 Mgbe anyanwụ
dara ka ọ ga-adị ọcha, nweekwa ike iri ihe dị nsọ, n'ihi na ọ bụ nri ya. 8 Ọ gaghị
eri anụ nwụrụ anwụ, maọbụ nke anụ ọzọ dọgburu,* n'ihi na ihe ndị a ga-emerụ ya.
Abụ m Onyenwe anyị.
9 " 'Ndị nchụaja kwesiri idebe ụkpụrụ m, ka ha ghara ịbụ ndị ikpe mara si otu a
nwụọ n'ihi na ha lelịrị ha anya. Abụ m Onyenwe anyị onye na-edo ha nsọ.
10 " 'O nweghị onye ọbụla na-esiteghị n'ezinaụlọ ndị nchụaja ga-eri aja nsọ ahụ.
Onye bụ ọbịa na onye e goro ọrụ nọ n'ụlọ onye nchụaja agaghị eri ya. 11 Otu ọ
dị, ọ bụrụ na onye nchụaja weere ego nke aka ya gbata ohu, maọbụ na a mụrụ
ohu ahụ n'ụlọ ya, ohu ahụ nwere ike iri aja nsọ ahụ. 12 Ọ bụrụ na nwa nwanyị
onye nchụaja alụọ onye na-abụghị onye nchụaja, ọ gaghị eri ihe ọbụla site n'ime
aja nsọ a. 13 Ma nwa nwanyị onye nchụaja nke di ya nwụrụ, maọbụ na ya na di ya
ebikwaghị, ọ bụrụkwa na ọ mụtaghị nwa ọbụla, ọ lọghachi bịa biri n'ụlọ nna ya
dịka o mere mgbe ọ bụ agbọghọ, o nwere ike iri nri dị n'ụlọ nna ya. Ọ dịkwaghị
onye na-ekwesighị iri ya,† nke ga-eri ya.
14 " 'Ọ bụrụ na onye ọbụla erie onyinye nsọ ahụ na-amaghị ama, ọ ga-eweghachiri
onye nchụaja ihe niile o riri tụkwasịkwa ya otu ụzọ n'ụzọ ise ọzọ. 15 Ndị
nchụaja ekwesighị imerụ onyinye nsọ ụmụ Izrel na-eche n'ihu Onyenwe anyị, 16 site
n'ikwenye ka ndị mmadụ efu rie onyinye nsọ ahụ, si otu a wetara ndị riri ya ikpe
ọmụma nke ya na nkwụghachi so. Abụ m Onyenwe anyị onye na-edo ha nsọ.' "

### *Aja na-ezughị oke*

17 Onyenwe anyị gwara Mosis sị, 18 "Gwa Erọn na ụmụ ya ndị ikom na ụmụ Izrel
niile okwu sị ha, 'Ọ bụrụ na onye ọbụla, onye Izrel maọbụ onye ọbịa n'Izrel, eweta
aja nsure ọkụ nye Onyenwe anyị imezu nkwa o kwere, maọbụ dịka onyinye afọ ofufu,
19 ọ ga-eweta otu oke nke na-enweghị nkwarụ nke si n'igwe ehi, maọbụ atụrụ, maọbụ
ewu, ka a nabata ya n'aha. 20 Ewebatala ihe ọbụla nke nwere nkwarụ, n'ihi na agaghị
m anabata ya n'aha gị. 21 Mgbe onye ọbụla wetara ehi maọbụ atụrụ maọbụ ewu
site n'igwe anụ, dịka onyinye aja udo ọ na-enye Onyenwe anyị maka imezu nkwa,
maọbụ onyinye afọ ofufu, ọ ga-abụ nke na-enweghị ọrụsị maọbụ ntụpọ ọbụla tupu a
nabata ya. 22 Anụmanụ ọbụla kpuru ìsì, maọbụ nke merụrụ ahụ, maọbụ nke ụkwụ
maọbụ aka gbajiri, maọbụ nke akpụkpa dị n'ahụ ya, maọbụ ihe nwere ure, maọbụ
nke ọnya dị n'ahụ, agaghị abụ ihe onyinye nye Onyenwe anyị. Unu atụkwasịkwala
ha n'ebe ịchụ aja dịka onyinye nye Onyenwe anyị. 23 Unu nwere ike jiri ehi maọbụ
atụrụ‡ nke akụkụ ahụ ya tara ata, maọbụ nke otu akụkụ ya buru ibu karịa ibe ya
chụọ aja onyinye si n'obi, ma a gaghị e ji ya chụọ aja imezu nkwa. 24 Unu agaghị
enye anụmanụ ọbụla nke mkpụrụ amụ ya chipịara echipịa, maọbụ nke pịara apịa,
maọbụ nke a dọwapụrụ adọwapụ maọbụ nke a chakapụrụ achakapụ, dịka onyinye
n'ihu Onyenwe anyị. Unu enyekwala ụdị onyinye a n'ala unu. 25 Unu esitekwala
n'aka onye ọbịa nata ụdị onyinye a, ma webata ya dịka nri a na-enye Chineke unu.
A gaghị anabata ha n'ọnọdụ unu, n'ihi na ha nwere nkwarụ, nwekwa ntụpọ.' "
26 Onyenwe anyị sịrị Mosis, 27 "Mgbe a mụrụ nwa ehi, maọbụ nwa atụrụ, maọbụ
ewu ọhụrụ, a ga-ahapụ ya na nne ya ụbọchị asaa. Site n'ụbọchị nke asatọ gaa n'ihu

* **22:8** 22:8 Ọpụ 22:31 † **22:13** 22:13 Nke a bụ onye ọbịa maọbụ onye ala ọzọ ‡ **22:23** 22:23 Lev 3:6

a ga-anabata ya dịka onyinye ihe oriri i ji chụọ aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ.
28 Egbula nne anụ na nwa ya n’otu ụbọchị, maọbụ ehi maọbụ atụrụ.§
29 “Mgbe unu na-achụrụ ONYENWE ANYỊ aja ekele, chụọnụ ya n’ụzọ ahụ a ga-anabata
ya. 30 Riekwanụ anụ aja ahụ n’otu ụbọchị ahụ, ka ọ hapụ ịfọdụ ruo echi ya. Abụ m
ONYENWE ANYỊ.
31 “Unu ga-edebe iwu m ndị a niile, mee ha n’ihi na abụ m ONYENWE ANYỊ. 32 Unu
emekwala ka aha m ghara ịdị nsọ. A ga-edo aha m nsọ n’etiti ụmụ Izrel, n’ihi na abụ
m ONYENWE ANYỊ onye na-edo unu nsọ. 33 Ọ bụ m kpọpụtara unu site n’ala Ijipt ka
m bụrụ Chineke unu. Abụ m ONYENWE ANYỊ.”

# 23

*Mmemme dị iche iche*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 2 “Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, ‘Ndị a bụ
mmemme a kara aka nye ONYENWE ANYỊ, nke unu ga-ekwusa dịka mkpọkọta dị nsọ.

*Ụbọchị izuike*

3 “ ‘Ụbọchị isii ka unu ga-eji rụọ ọrụ. Ma ụbọchị nke asaa, bụ ụbọchị izuike, ụbọchị
mkpọkọta dị nsọ. Unu agaghị arụ ọrụ ọbụla n’ụbọchị ahụ, n’ebe ọbụla unu bi. Ọ bụ
ụbọchị izuike nye ONYENWE ANYỊ.

*Mmemme Ngabiga na Mmemme Achịcha na-ekoghị eko*

4 “ ‘Ndị a bụ mmemme ONYENWE ANYỊ a kara aka, mkpọkọta dị nsọ nke unu ga-
ekwusa n’oge a kara aka. 5 N’ọnwa mbụ, n’ụbọchị nke iri na anọ nke ọnwa ahụ, n’oge
uhuruchi, mgbe anwụ dara, ka Mmemme Ngabiga ONYENWE ANYỊ ga-adị. 6 Mmemme
achịcha na-ekoghị eko ONYENWE ANYỊ ka unu ga-ebido n’ụbọchị iri na ise nke ọnwa
ahụ. Abalị asaa ka unu ga-eri achịcha a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee. 7 N’ụbọchị
mbụ nke mmemme a, unu ga-enwe mkpọkọta dị nsọ, ọ dịkwaghị onye ọbụla ga-arụ
ọrụ ọbụla. 8 Unu ga-eweta aja e sitere n’ọkụ chụọ nye ONYENWE ANYỊ. N’ụbọchị nke
asaa nweenụ mkpọkọta dị nsọ, unu arụkwala ọrụ nke ụbọchị ahụ.’ ”

*Mmemme Mkpụrụ Mbụ*

9 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị ya, 10 “Gwa ụmụ Izrel sị ha, ‘Mgbe unu banyere
n’ala ahụ m na-aga inye unu, ghọta mkpụrụ ihe ubi nke mbụ unu, unu ga-ewetara
onye nchụaja otu ukwu ọka site n’ọka unu ghọtara n’ubi unu. 11 Ọ ga-anara unu
ukwu ọka ahụ fufee ya n’ihu ONYENWE ANYỊ, ka a nabata ya. Ọ bụ n’ụbọchị ahụ
ga-esote ụbọchị izuike ka onye nchụaja ga-efufe ya. 12 N’otu ụbọchị ahụ e fufere
ukwu ọka ahụ, unu ga-ewere nwa ebule na-enweghị ntụpọ, nke gbara naanị otu afọ,
chụọrọ ONYENWE ANYỊ aja nsure ọkụ. 13 Aja mkpụrụ ọka ga-eso aja nsure ọkụ a. Ọ
ga-eji iko ọka a kwọrọ nke ọma iri na abụọ a gwara mmanụ oliv, ka ọ bụrụ ihe e
surere n’ọkụ na-esi ezi isi ọma nye ONYENWE ANYỊ. A ga-enyekwa iko mmanya atọ
dịka onyinye ihe ọṅụṅụ 14 Unu agaghị eri achịcha, maọbụ ọka e ghere eghe, maọbụ
ọka ọhụrụ tutu ruo mgbe unu buru ụzọ weta onyinye nye Chineke unu. N’ebe ọbụla
unu bi, ụkpụrụ a ga-adịgide ruo ọgbọ niile.

*Mmemme Izu Asaa*

15 “ ‘Site n’ụbọchị ahụ sotere ụbọchị izuike, bụ ụbọchị ahụ unu wetara ukwu ọka
nke onyinye mfufe, gụpụta izu asaa zuru ezu. 16 Gụpụtakwa iri ụbọchị ise site
n’ụbọchị izuike ahụ mezuru izu asaa ahụ ma wetara ONYENWE ANYỊ onyinye ọka
ọhụrụ. 17 Site n’ebe ọbụla unu bi, unu ga-ewetara ONYENWE ANYỊ ogbe achịcha abụọ
nke unu ji iko ọka a kwọrọ nke ọma iri na abụọ, nke e ji ihe na-eko achịcha mee, ya
bụ yiist, dịka aja mfufe nke mkpụrụ mbụ nye ONYENWE ANYỊ. 18 Tinyere achịcha a,

§ **22:28** 22:28 Dit 22:6-7

unu ga-eweta ụmụ atụrụ asaa gbara otu afọ, ndị na-enweghị ntụpọ, na otu nwa oke
ehi, na ebule abụọ. Ha ga-abụ aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ, ya na aja mkpụrụ
ọka na aja ihe ọṅụṅụ, aja e sitere n'ọkụ chụọ, nke isisi ya dị ezi mma nye ONYENWE
ANYỊ. 19 Unu ga-ejikwa otu mkpi chụọ aja mmehie. Werekwa ụmụ atụrụ abụọ gbara
otu afọ, otu afọ, chụọ aja udo. 20 Onye nchụaja ga-efufe ụmụ atụrụ abụọ ndị a, na
achịcha ndị si na mkpụrụ mbụ ahụ n'ihu ONYENWE ANYỊ dịka aja mfufe. Ha bụ aja
dị nsọ nye ONYENWE ANYỊ. Ọ bụkwa ndị nchụaja ga-ewere ha dịka nri ha. 21 N'otu
ụbọchị ahụ unu ga-akpọsakwa mkpọkọta dị nsọ, unu arụkwala ọrụ nke ụbọchị ahụ.
Nke a ga-abụ ụkpụrụ ga-adịgide ebighị ebi site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ niile, n'ebe ọbụla
unu bi.
22 " 'Mgbe unu na-ewe ihe ubi, unu ewechala ihe niile dị n'akụkụ niile nke ubi unu.
Hapụrụnụ ha ụmụ ogbenye, na ndị ọbịa. Hapụkwara ha mkpụrụ ubi niile dara n'ala.
Abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu.' "

### *Mmemme Opi*

23 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 24 "Gwa ụmụ Izrel sị, 'Ụbọchị mbụ nke ọnwa nke
asaa ga-abụ ụbọchị izuike, ụbọchị mkpọkọta dị nsọ nke a ga-eji opi na-ada oke ụda
cheta. 25 Unu arụla ọrụ ọbụla n'ụbọchị ahụ, kama unu ga-achụ aja nsure ọkụ nye
ONYENWE ANYỊ.' "

### *Ụbọchị Mkpuchi Mmehie*

26 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 27 "Ụbọchị nke iri nke ọnwa asaa a bụ ụbọchị
Mkpuchi Mmehie. Ọ bụ ụbọchị mkpọkọta dị nsọ nye unu. Unu ga-ata onwe unu
ahụhụ bịa wetara ONYENWE ANYỊ onyinye site n'ọkụ. 28 Unu arụla ọrụ ọbụla n'ụbọchị
ahụ n'ihi na ụbọchị ahụ bụ ụbọchị ịchụ aja mkpuchi mmehie unu n'ihu ONYENWE
ANYỊ Chineke unu. 29 Onye ọbụla na-ejighị ụbọchị ahụ weda onwe ya n'ala ka a ga-
ekewapụ site n'etiti ndị ya. 30 Aga m ebibikwa onye ọbụla rụrụ ọrụ n'ụbọchị ahụ.
31 Unu agaghị arụ ọrụ ọbụla. N'ebe ọbụla unu bi, ụkpụrụ a ga-adịgide nye unu
niile site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. 32 Ọ ga-abụ ụbọchị izuike zuruoke nye unu, unu ga-
ewedakwa onwe unu n'ala. N'ụbọchị nke itoolu nke ọnwa ahụ, site n'uhuruchi ruo
n'uhuruchi nke na-esote ya, unu ga-edebe izuike unu."

### *Mmemme Ụlọ Ikwu*

33 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 34 "Gwa ụmụ Izrel, 'N'ụbọchị nke iri na ise, n'ọnwa
nke asaa, ka unu ga-amalite mmemme Ụlọ Ikwu ONYENWE ANYỊ. A ga-eme ya ụbọchị
asaa. 35 N'ụbọchị nke mbụ bụ ụbọchị mkpọkọta dị nsọ. Onye ọbụla agaghị arụ
ọrụ n'ụbọchị ahụ. 36 N'ụbọchị ọbụla n'ime ụbọchị asaa ndị a niile ka a ga-ewetara
ONYENWE ANYỊ onyinye site n'ọkụ. N'ụbọchị nke asatọ ka mkpọkọta dị nsọ ga-adị. A
ga-achụ aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ, n'ụbọchị a. Ọ bụ mkpokọta mmechi, n'ihi
ya, a gaghị arụ ọrụ ọbụla n'ụbọchị ahụ.
37 (" 'Ndị a bụ mmemme a kara aka, mgbe a ga-ekwusa mkpọkọta dị nsọ maka
iwetara ONYENWE ANYỊ onyinye nri, ya bụ, onyinye aja nsure ọkụ, na onyinye mkpụrụ
ọka, na aja dị iche iche, na onyinye ihe ọṅụṅụ dịka e sị hazie na ọ ga na-adị kwa
ụbọchị. 38 Unu ga-enye onyinye ndị a, tinyere onyinye a na-enye ONYENWE ANYỊ
n'ụbọchị izuike, na tinyere onyinye ndị ọzọ unu na-enye na ihe ndị ọzọ unu kwere
na nkwa, na onyinye afọ ofufu niile unu na-enye ONYENWE ANYỊ.)
39 " 'Ya mere, malite n'ụbọchị nke iri na ise nke ọnwa asaa, mgbe unu webatasịrị
ihe ubi unu, meerenụ ONYENWE ANYỊ mmemme ụbọchị asaa, ụbọchị nke mbụ, na
ụbọchị nke asatọ ga-abụ ụbọchị izuike. 40 N'ụbọchị nke mbụ, unu ga-ewere ụfọdụ
mkpụrụ osisi dị mma nke si n'osisi unu na-amị mkpụrụ, gbutekwa igu nkwụ, na alaka
osisi nwere ahịhịa ndụ, na osisi pọpla, jiri ha mee mmemme obi ụtọ n'ihu ONYENWE
ANYỊ Chineke unu ụbọchị asaa. 41 Mmemme ụbọchị asaa a ga-adị nye ONYENWE ANYỊ

n’afọ niile, site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ unu niile. Ọ bụkwa n’ọnwa nke asaa ka unu ga-
eme mmemme a. 42 N’oge mmemme a, ụmụ Izrel niile ga-ebi n’ụlọ e ji alaka osisi na
ahịhịa wuo ụbọchị asaa. Ụmụ afọ Izrel niile ga-ebi n’ụlọ dị otu a. 43 Nke a ga-echetara
ọgbọ ụmụ Izrel niile na mgbe m kpọpụtara unu site n’ala Ijipt, unu biri n’ụlọ e ji
osisi na ahịhịa wuo n’ọzara. Abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu.’ ”
44 Mosis gwara ụmụ Izrel ihe gbasara mmemme niile a kara aka nye ONYENWE ANYỊ.

# 24

*Iheọkụ na mmanụ ya*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 2 “Nye ndị Izrel niile iwu ka ha wetara gị mmanụ
oliv asụrụ asụ, nke a na-agwaghị ihe, maka itinye n’iheọkụ ime ka ọkụ oriọna na-
enwu mgbe niile. 3 Na mpụta nke akwa mgbochi nke kpuchiri igbe Ihe Ama ahụ,
n’ime ụlọ nzute, Erọn ga-amụnye oriọna ndị ahụ n’ihu ONYENWE ANYỊ mgbe niile,
site n’uhuruchi ruo n’ụtụtụ. Nke a bụ ụkpụrụ ga-adịgide nye ọgbọ niile dị n’ihu.
4 Ihe ọkụ ọlaedo a nụchara anụcha ndị ahụ dọọ n’elu ihe ịdọkwasị oriọna, n’ihu
ONYENWE ANYỊ ga na-enwu ọkụ mgbe niile.

*Achịcha na-adị n’ihu ONYENWE ANYỊ*

5 “Were ọka a kwọrọ nke ọma mee ogbe achịcha iri na abụọ. Jiri ihe ruru iko ọka
asatọ mee otu ogbe achịcha ọbụla. 6 Doo achịcha ndị a n’ahịrị abụọ n’elu tebul ahụ
e ji ọlaedo a nụchara anụcha kpụọ, nke dị n’ihu ONYENWE ANYỊ. Ogbe achịcha isii
ga-adị n’otu ahịrị. 7 N’ogologo ahịrị ọbụla tinye insensi a na-agwaghị ihe, ka ọ bụrụ
ihe nọchiri achịcha ndị a dịka onyinye nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ. 8 A ga-edo
achịcha ndị a n’ihu ONYENWE ANYỊ oge niile, ụbọchị izuike niile, n’ọnọdụ ụmụ Izrel,
dịka ọgbụgba ndụ ebighị ebi. 9 Ọ dịrị Erọn na ụmụ ya ndị ikom, bụ ndị ga-eri ya
n’ime n’ebe nsọ ahụ, n’ihi na ọ bụ oke dịkarịsịrị nsọ, site n’oke ha mgbe niile, nke
sitere n’onyinye nsure ọkụ e chere nye ONYENWE ANYỊ.”

*Ọnwụ onye kọchara ONYENWE ANYỊ*

10 Otu nwokorobịa, nke nna ya bụ onye Ijipt ma nne ya bụ onye Izrel, sitere n’etiti
ụmụ Izrel pụta. O ruo na nwoke a nne ya bụ onye Izrel na otu n’ime ndị ikom Izrel
malitere ịlụ ọgụ. 11 Mgbe ha na-alụ ọgụ ahụ nwoke ahụ nne ya bụ onye Izrel kwuluru
Aha ahụ kọchaa ya. N’ihi ya, a kpọrọ ya ikpe n’ihu Mosis. (Aha nne ya bụ Shelomit,
nwa Dibri, onye ebo Dan.) 12 Ha tinyere nwoke ahụ n’ụlọ mkpọrọ na-eche ka ha nụ
okwu ONYENWE ANYỊ, ịmata ihe ha ga-eme ya.
13 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, 14 “Kpụrụ onye nkwulu ahụ gaa n’azụ
obodo. Ndị niile nụrụ okwu ahụ o kwuru ga-ebikwasị ya aka ha n’isi. Mgbe ahụ,
ọgbakọ Izrel niile ga-eji nkume tugbuo ya. 15 Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, ‘Onye ọbụla
kọchara Chineke ya ga-ebu mmehie ya n’isi ya. 16 Onye ọbụla kwuluru aha ONYENWE
ANYỊ ka a ga-egbu. Mmadụ niile ga-agbakọ jiri nkume tugbuo onye ahụ. Onye ọbụla
kwuluru Aha ahụ, maọbụ ọbịa, maọbụ nwa afọ ala, ka a ga-egbu.
17 “ ‘Onye ọbụla gburu mmadụ ka a ga-egbu. 18 Onye gburu anụ ụlọ na-abụghị nke
ya, ga-akwụghachi ụgwọ ya. Ndụ ga-alara ndụ. 19 Onye ọbụla merụrụ mmadụ ibe ya
ahụ, a ga-emerụkwa onye ahụ ahụ n’ebe o merụrụ ibe ya ahụ. 20 Onye tijiri mmadụ
ọkpụkpụ, a ga-etiji ọkpụkpụ nke ya. Anya ga-alara anya, eze ga-alakwara eze. Otu
e si merụọ mmadụ ahụ, ka a ga-esi merụọkwa onye merụrụ ya ahụ. 21 Onye ọbụla
gburu anụ ụlọ onye ọzọ, ga-akwụ ụgwọ ya. Ma a ga-egbu onye ọbụla gburu mmadụ.
22 Unu ga-enwe otu iwu nke ga-adị nye ndị amụrụ n’ala, dịkwara ndị ọbịa niile. Abụ
m ONYENWE ANYỊ Chineke unu.’ ”

[23] Mgbe ahụ, Mosis gwara ndị Izrel okwu, n'ihi ya ha dọkpụụrụ onye nkwulu ahụ pụọ n'azụ obodo, jiri nkume tugbuo ya n'ebe ahụ, dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu.

# 25

*Afọ izuike*

[1] ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu n'ugwu Saịnaị sị ya, [2] "Gwa ụmụ Izrel sị ha,
'Mgbe unu batara n'ala ahụ m ga-enye unu, unu ga-eme ka ala ahụ nwee afọ izuike
nke ya nye ONYENWE ANYỊ. [3] Afọ isii ka unu ga-akụ ihe n'ubi, afọ isii ka unu ga-ewe ihe
ubi, kwachaakwa alaka osisi vaịnị unu. [4] Ma mgbe o ruru afọ nke asaa, unu ga-ahapụ
ala ubi unu ka o zuo ike, afọ izuike nye ONYENWE ANYỊ. Unu akụla ihe ọbụla n'ubi
unu maọbụ kwachaa osisi vaịnị unu. [5] Unu agaghị ewe ihe ubi ọbụla ga-epupụtara
onwe ha n'oge a, maọbụ tụtụọ mkpụrụ osisi vaịnị ndị ga-ada ada. N'ihi na afọ ahụ
bụ afọ ozuzu ike dịrị ala ubi niile. [6] Ihe ubi puputara n'ala ahụ niile n'afọ izuike ahụ
bụ nri dịrị unu onwe unu, na ndị odibo nwoke na nwanyị unu niile, na onye i goro
ọrụ, na onye ọbịa bi n'etiti unu. [7] Ihe ubi ahụ dịkwara anụ ụlọ gị, na anụ ọhịa bi
n'ala gị. Ihe ọbụla puputara n'ala bụ ihe unu ga-eri.

*Afọ iri ise nke inwere onwe*

[8] " 'Gụpụta afọ izuike asaa, afọ asaa, ụzọ asaa. Ngụkọ afọ izuike ndị a niile ga-enye
iri afọ anọ na itoolu. [9] N'ụbọchị nke iri nke ọnwa asaa, zipụ onye ga-egbu opi ike,
ya bụ, n'ụbọchị mkpuchi mmehie, a ga-egbu opi ike n'ala Izrel niile. [10] Doonụ afọ
nke iri ise ahụ nsọ, kwusaakwa inwere onwe nye mmadụ niile n'ala ahụ niile. Afọ
ahụ ga-abụ afọ inwere onwe* nye unu. Onye ọbụla n'ime unu ga-alaghachi n'ihe
onwunwe nke ezinaụlọ ya, onye ọbụla kwa ga-alaghachi n'agbụrụ ya. [11] Afọ nke iri
ise bụ afọ inwere onwe nye unu. A gaghị akụ ihe ọbụla n'ubi, a gakwaghị ewe ihe
ubi ọbụla puputara n'onwe ya, maọbụ mkpụrụ osisi vaịnị mịrị n'onwe ya. [12] Ọ bụ
afọ inwere onwe, bụrụkwa afọ dị nsọ nye unu, nke onye ọbụla ga-eri naanị ihe e
wetara n'ubi.
[13] " 'Onye ọbụla ga-alaghachi n'ihe onwunwe nke ya, n'afọ inwere onwe a.
[14] " 'Ọ bụrụ na i resiri onye agbataobi gị ala, maọbụ na o nwere nke ọ zụrụ site
n'aka gị, unu aghọgbula ibe unu. [15] Ị ga-azụrụ ala site n'aka onye agbataobi dịka
ọnụọgụgụ afọ si dị site n'afọ inwere onwe. Ha ga-eresi gị ya dịka ọnụọgụgụ afọ ole
fọdụrụ maka ịkọ ihe n'ala ahụ. [16] Ọ bụrụ na a zụrụ ala ahụ nso nso mmemme iri
afọ ise a, ọnụahịa ala ahụ ga-adị ala, ọ bụrụkwanụ na ọ dị anya site na mmemme
ahụ, ọnụahịa ya ga-adị elu, n'ihi na ụgwọ onye ahụ na-akwụ bụ ụgwọ ugboro ole ọ
ga-akụ ihe n'ala ahụ. [17] Unu emegbula ibe unu kama tụọnụ egwu Chineke unu. Abụ
m ONYENWE ANYỊ Chineke unu.
[18] " 'Gbasoonụ ụkpụrụ m, ma lezie anya imezu ihe m nyere n'iwu, ka unu nwee ike
ibi obi udo n'ala ahụ. [19] Mgbe ahụ, ala ga-amị mkpụrụ ya, unu ga-eriju afọ, birikwa
n'ala ahụ n'udo. [20] Unu nwere ike jụọ ajụjụ sị, "Gịnị ka anyị ga-eri n'afọ nke asaa ahụ
ebe ọ bụ na anyị agaghị akụ ihe ọbụla, maọbụ wee ihe ubi ọbụla n'afọ ahụ?" [21] Aga
m ezitere unu ngọzị dị ukwuu n'afọ nke isii, nke ga-eme ka ala mee ihe omume nke
ga-ezuru unu afọ atọ. [22] Mgbe unu ga-akụ ihe ubi n'afọ nke asatọ unu ga na-eri site
n'owuwe ihe ubi ochie unu tutu ruo n'afọ nke itoolu mgbe unu ga-ewebata ihe ubi
ọhụrụ.
[23] " 'Chetanụ na ala bụ nke m, n'ihi nke a, o kwesighị ka unu ree ala ọbụla
kpamkpam. Unu bụ naanị ndị ọbịa na ndị nlekọta nye m. [24] N'ala obibi unu niile,
unu ga-enye ohere maka mgbapụta ala erere ere.

* **25:10** 25:10 Inwere onwe pụtara mmeri maọbụ Jubili.

25 “ ‘Ọ bụrụ na otu onye n’ime unu aghọọ onye ogbenye si otu a ree ala ya, nwanna
ya dị ya nso ga-abịa gbapụta ala ahụ. 26 Ọ bụrụ na-enweghị onye ga-agbapụta ala
ahụ nye ha, ma ha mesịa ghọọ ndị bara ụba nwekwa ihe ga-ezu ịgbapụta ala ahụ
n’onwe ha. 27 A ga-agụ afọ ole gara site na mgbe o rere ala ahụ, nyeghachi ya ego ole
o kwesiri inweta. Onye rere ala ga-alaghachikwa n’ala ya. 28 Ọ bụrụ na onyenwe ya
enweghị ike ịchọta ego ọ ga-eji gbara ya, ala ahụ ga-adị n’aka onye ahụ zụrụ ya tutu
ruo n’afọ inwere onwe. Mgbe ahụ ọ ga-ewerekwa ala ahụ nyeghachi ya onye resiri
ya.
29 “ ‘Onye ọbụla rere ụlọ obibi dị n’obodo e ji mgbidi gbaa gburugburu nwere ikike
mgbapụta ya naanị mgbe otu afọ zuru site na mgbe e rere ya. N’oge ahụ ka onye rere
ya nwere ike ịgbaghachi ya. 30 Ọ bụrụ na a gbapụtaghị ya tupu otu afọ agafee, ụlọ
ahụ dị n’ime obodo nwere mgbidi ga-abụ nke onye ahụ zụrụ ya mgbe niile, bụrụkwa
nke ụmụ ụmụ ya. A gaghị enyeghachikwa ya mgbe afọ inwere onwe ruru. 31 Ma ụlọ
ndị dị n’obodo nta na-enweghị mgbidi a ga-agụ ha dịka ihe dị n’ọhịa. E nwere ike
ịgbapụta ha, ha bụkwa nke a ga-eweghachite mgbe afọ inwere onwe ruru.
32 “ ‘Ma banyere obodo niile nke ndị Livayị dị iche iche. Ha nwere ikike ịgbapụta
ụlọ ha dị n’ime nketa ha mgbe ọbụla. 33 Ihe onwunwe ndị Livayị bụ nke e nwere ike
ịgbapụta, bụ ndị a, ụlọ niile e rere nke dị n’obodo ha nwere. Ọ ga-abụ n’afọ inwere
onwe ka aga enwetaghachi ha, n’ihi na ụlọ ndị ahụ dị n’obodo ndị Livayị bụ naanị
oke ha nwere n’etiti ụmụ Izrel. 34 Ma a gaghị ere ala ebe ịta nri nke anụ ụlọ gbara
obodo ha gburugburu ere, n’ihi ọ bụ ihe ha nwee n’ọha ruo ebighị ebi.
35 “ ‘Ọ bụrụ na nwanne gị adaa ogbenye ruo na o nweghị ike inyere onwe ya aka, ọ
dị gị n’aka inyere ya aka, kpọbata ya ka ọ bịa biri n’ụlọ gị dịka ị ga-esi kpọbata onye
ọbịa. N’ụzọ dị otu a, ọ ga-anọgide biri n’etiti unu. 36 Tụọ egwu Chineke, kwerekwa
ka nwanna gị soro gị biri n’ala ahụ. A nakwala ụma maọbụ ọmụrụnwa ọbụla.† 37 Ị
gaghị ana ọmụrụnwa n’ego i gbazinyere ha, maọbụ rie uru site na nri i resiri ha.
38 Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu, onye kpọpụtara unu site n’ala Ijipt,
inye unu ala Kenan, na ị bụ Chineke unu.
39 “ ‘Ọ bụrụ na onye Izrel ọbụla adaa ogbenye, resi gị onwe ya, emela ka o jere gị
ozi dịka onye ohu. 40 Kama ị ga-emeso ya mmeso dịka ị ga-esi meso onye ọrụ e goro
ego, maọbụ dịka onye ọbịa nọ n’etiti unu. Ọ ga-ejere gị ozi tutu ruo afọ inwere onwe.
41 N’afọ ahụ, ị ga-ahapụ ha na ụmụ ha ka ha laghachikwuru ndị ikwu ha, si otu a
nwetaghachi ala ubi dị n’ezinaụlọ ha. 42 N’ihi na a kpọpụtara m ndị Izrel site n’ala
Ijipt ka ha bụrụ ndị na-ejere m ozi. Ya mere, a gaghị ere ha mgbe ọbụla dịka ohu.
43 A gakwaghị emegbu ha n’ụzọ dị njọ.‡ Tụọnụ egwu Chineke unu.
44 “ ‘Ma unu nwere ike gbara ndị ohu nwoke maọbụ nwanyị site n’etiti ndị mba ọzọ
niile bi n’akụkụ unu. Unu nwere ike site n’ebe ahụ zụta ndị ohu. 45 Unu nwere ike
ịzụ ndị ohu site n’etiti ndị mbịarambịa bi n’etiti unu, maọbụ site n’etiti ndị agbụrụ
ha a mụrụ n’ala Izrel. Ndị dị otu a ga-abụkwa ihe onwunwe unu. 46 Unu nwere ike
kenye ha ụmụ unu dịka ihe nketa, ma mee ha ndị ohu unu ụbọchị ndụ ha niile. Ma
unu agaghị eji aka ike chịa onye Izrel ibe unu.
47 “ ‘Ọ bụrụ na onye ọbịa bi n’etiti unu aghọọ ọgaranya, ma otu n’ime ụmụnna
unu adaa ogbenye were onwe ya resi onye ọbịa ahụ bi n’etiti unu, maọbụ were
onwe ya resi nwanna ndị ikwu onye ọbịa ahụ, 48 ha nwere ikike ịgbapụta ya mgbe
ha resiri onwe ha. Otu n’ime ụmụnna ya nwere ike gbapụta ha. 49 Nwanne nne ya,
maọbụ nwanne nna ya, maọbụ nwanna n’ikwu ha§ ọbụla nwere ike ịgbapụta ya.
Ọ nwekwara ike ịgbapụta onwe ya ma ọ bụrụ na ọ kpata ego. 50 Ya na onye ahụ
o resiri onwe ya ga-agụ afọ ole ọ bụ site na mgbe o rere onwe ya ruo n’afọ inwere

† **25:36** 25:36 Ọpụ 22:25 ‡ **25:43** 25:43 Ọpụ 1:13 § **25:49** 25:49 Nwanna Onye ahụ ga-abụ nwa nwoke nwanne nna ya.

onwe. Ego a ga-akwụ n'ihi ịgbapụta ya ga-abụ ego ọ ga-efu ịkwụ ohu ọzọ ụgwọ ịrụ
ọrụ ọnụọgụgụ afọ ndị ahụ niile. 51 Ọ bụrụ n'ọtụtụ afọ fọdụrụ, ọ ga-esite n'ọnụ ego e
rere ha kwụọ nke dị ukwu dịka ego mgbapụta ha. Naanị ihe ntakịrị ga-apụ n'ime ego
ahụ. 52 Ọ bụrụ naanị afọ ole na ole fọdụrụ tupu afọ inwere onwe eruo, ọ ga-agụkọ
ihe ego ahụ pụtara, kwụọ ya maka ịgbara onwe ya dịka o kwesiri. 53 A ga-emeso ha
dịka ndị ọrụ e goro ego kwa afọ, ma ị ga-ahụ na onye ha nọ n'okpuru ya agaghị eji
aka ike chịa ha.
54 " 'Ma ọ bụrụ na e nweghị ike gbapụta ya site n'ụzọ ndị a niile, ya na ụmụ ya
ga-enwere onwe ha mgbe afọ inwere onwe ahụ zuru. 55 N'ihi na mụ ka ụmụ Izrel
bụ ndị ohu nye. Ha bụ ndị ohu m, ndị m kpọpụtara site n'ala Ijipt. Mụ onwe m bụ
ONYENWE ANYỊ Chineke unu.

# 26

*Ụgwọ ọrụ nrube isi*

1 " 'Unu emerela onwe unu arụsị* ọbụla, maọbụ guzobe oyiyi apịrị apị, maọbụ
ogidi nkume ọbụla ọtọ, nye onwe unu. Unu edokwala nkume a pịrị apị ọbụla n'ala
unu maka ịkpọ isiala nye ya. Abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu.
2 " 'Debenụ iwu niile m nyere maka ụbọchị Izuike m,† sọpụkwaranụ ebe nsọ m.
Abụ m ONYENWE ANYỊ.
3 " 'Ọ bụrụ na unu ejegharịa n'ụkpụrụ m, lezie anya debe iwu m niile, 4 aga m
enye unu mmiri ozuzo n'oge ya, nke ga-eme ka ala unu mịa ọtụtụ ihe ubi. Osisi
unu niile ga-ejupụtakwa na mkpụrụ mgbe niile. 5 Unu ga-anọgide na-azọcha ọka
tutu ruo mgbe unu ga-aghọ mkpụrụ vaịnị unu, owuwe ihe ubi mkpụrụ vaịnị unu
ga-adịgidekwa ruo oge ịkụ mkpụrụ n'ubi. N'ụzọ dị otu a, unu ga-enwe nri ga-ezuru
unu, unu ga-ebikwa n'udo n'ala unu.
6 " 'Aga m eme ka udo dịrị n'ala ahụ, unu ga-edina ala, ọ dịghịkwa onye ga-eme ka
unu tụọ egwu ọbụla. Aga m ewezuga site n'etiti unu ajọ anụ ọhịa, mma agha agaghị
esitekwa n'ala unu bi n'ime ya gafee. 7 Unu ga-achụ ndị iro unu ọsọ. Ha ga-ada
n'ihu unu site na mma agha. 8 Mmadụ ise n'ime unu ga-achụ narị mmadụ ọsọ. Narị
mmadụ n'etiti unu ga-achụkwa iri puku mmadụ ọsọ. Ndị iro unu ga-ada n'ihu unu
site na mma agha.
9 " 'Aga m eji ihuọma leta unu, mee ka unu mụbaa ma jupụta n'ọnụọgụgụ. Aga
m eme ka ọgbụgba ndụ m n'ebe unu nọ dịgide. 10 Unu ga-enwebiga mkpụrụ ubi
oke ruo na mgbe unu ka nọ na-eri ndị ochie unu ga-ewezuga ha n'akụkụ maka inye
ohere iwebata ihe ubi ọhụrụ. 11 Aga m eme ka ebe obibi m dịrị n'etiti unu. Agaghị m
asọ unu oyi. 12 Aga m ejegharị n'etiti unu, bụrụ Chineke unu, unu ga-abụkwa ndị m.
13 N'ihi na abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu onye kpọpụtara unu site n'ala Ijipt, ka
unu ghara ịbụ ndị ohu ọzọ. Etijiela m mkpọrọ igwe‡ nke ịbụ ohu unu, mee ka unu
bụrụ ndị ji nganga ejegharị.

*Ahụhụ n'ihi Nnupu isi*

14 " 'Ma ọ bụrụ na unu ajụ ige m ntị, jụkwa imezu ihe ndị a m nyere unu iwu ya, 15 ọ
bụrụ na unu ajụ ịgbaso ụkpụrụ m, sọọ iwu m ndị a oyi, si otu a mebie ọgbụgba ndụ
m, 16 mgbe ahụ, aga m eme ka oke ụjọ, na ọrịa na-ebibi ebibi, na ahụ ọkụ, bịakwasị
unu. Ọrịa ndị a ga-eme ka anya unu daa mba, ọ ga-eripịakwa anụ ahụ unu. Unu
ga-akụ mkpụrụ ubi n'ubi unu ma ndị iro unu ga-eri ha. 17 Aga m eguzo megide unu
n'oge ibu agha, mee ka ndị iro unu merie unu n'agha. Unu ga-agba ọsọ mgbe onye
ọbụla na-adịghị achụ unu ọsọ. Ndị kpọrọ unu asị ga-achịkwa unu.

---

* **26:1** 26:1 Ọpụ 20:4 † **26:2** 26:2 Lev 19:30 ‡ **26:13** 26:13 Ya bụ, yoku

18 “ ‘Ọ bụrụ na unu anọgidesie ike ju ige m ntị n’agbanyeghị ihe ndị a, aga m enye
unu ntaramahụhụ dị okpukpu asaa n’ihi mmehie unu. 19 Aga m etiji ịnya isi nganga
unu, mee ka mbara eluigwe dịịrị unu dịka igwe, elu ala unu na-azọkwasị ụkwụ ga-
adịkwa dịka bronz. 20 Unu ga-adọgbu onwe unu n’ọrụ n’efu, n’ihi na ala unu agaghị
emepụtara unu ihe omume ya, osisi nke ala unu agaghị amịkwa mkpụrụ ya.
21 “ ‘Ọ bụrụkwa na mgbe nke a mesịrị, unu anọgidekwa jụ ime ihe m nyere n’iwu,
aga m eme ka ntaramahụhụ unu dịrị ukwuu, ugboro asaa ọzọ, n’ihi mmehie unu.
22 Aga m ezite anụ ọhịa megide unu. Ha ga-adọgbu ụmụ unu, bibie anụ ụlọ unu,
meekwa ka unu dị nta n’ọnụọgụgụ, ruo na ndị a ga-ahụ n’okporoụzọ unu ga-adị ole
na ole.
23 “ ‘Ọ bụrụkwa na unu anọgide jụ ịdọ aka na ntị m, chie ntị nọgide na-ebu agha
nnupu isi unu megide m, 24 mụ onwe m ga-ebu agha megide unu. Aga m eti unu
ugbo ihe otiti asaa, n’ihi mmehie unu. 25 Aga m ewebata mma agha n’ebe unu nọ,
ịbọ ọbọ n’ihi ọgbụgba ndụ m unu mebiri. Mgbe unu ga-agba ọsọ gbaba n’obodo
unu, aga m ezite ihe mbibi ga-ebibi unu n’ebe ahụ. Aga m enyefekwa unu n’aka ndị
iro unu. 26 Aga m eme ka unu hapụ inwe ihe oriri ga-ezuru unu. Otu ite nri naanị ka
ndị inyom iri ga-eji sie nri ha nwere. Ha ga-eji ihe ọtụtụ tụọ ya mgbe ha na-eke ya.
Unu ga-eri ya, ma afọ agaghị eju unu.
27 “ ‘Ọ bụrụkwa na unu agaa n’ihu jụ ige m ntị n’agbanyeghị ihe ndị a, nọgide
na-emegide m, 28 mgbe ahụ, aga m egosi unu oke iwe m, nye unu ntaramahụhụ dị
okpukpu asaa n’ihi mmehie unu. 29 Unu ga-eri anụ ụmụ unu ndị ikom, na anụ ụmụ
unu ndị inyom. 30 Aga m ebibikwa ụlọ arụsị unu niile dị n’elu ugwu, gbutuo ebe
ịchụ aja niile unu na-esure ihe nsure ọkụ na-esi isi. Aga m atụkọta ozu unu n’elu
arụsị unu na-enweghị ume ndụ, ka unu bụrụ ihe m na-asọ oyi. 31 Aga m eme ka
obodo unu niile tọgbọrọ n’efu, kụdasịakwa ebe nsọ unu niile. Agaghị m anabatakwa
isisi ụtọ nke aja unu. 32 Aga m eme ka ala unu tọgbọrọ n’efu, mee ka ọnọdụ ịdị
ala unu bụrụ ihe ga-eju ndị iro unu ga-ebi n’ime ya anya. 33 Aga m achụsa unu na
mba niile, mịpụta mma agha m jiri ya chụso unu ọsọ. Ala unu ga-atọgbọrọ n’efu, a
ga-etikpọkwa obodo unu niile. 34 Mgbe ahụ, ala ahụ ga-ezu ike, ogologo oge ndị ahụ
niile ọ ga-atọgbọrọ n’efu. Mgbe unu ga-anọ dịka ndị ohu n’ala ndị iro unu. Ala ahụ
ga-ezu ike, imejupụta afọ izuike ya niile. 35 Ogologo oge niile ala ahụ tọgbọrọ n’efu,
ala ahụ ga-ezu ike, ụdị izuike ọ na-enweghị n’afọ izuike ndị ahụ unu bi n’ime ya.
36 “ ‘Ma ndị ahụ fọdụrụ ndụ n’ime unu, aga m etinye ịda mba n’obi ha n’ala ndị
iro ha. Mkpọtụ ahịhịa nke ifufe na-ebugharị ga-eme ka ha gbapụ ọsọ. Ha ga-agba
ọsọ dịka ndị si n’ihu mma agha na-agba ọsọ. Ha ga-ada mgbe onye ọbụla na-adịghị
achụ ha ọsọ. 37 N’ezie, ha ga-agba ọsọ mgbe onye ọbụla na-adịghị achụ ha ọsọ. Ha
ga-adagide ibe ha mgbe ha na-agba ọsọ a, dịka ndị si n’ebe a na-alụ agha na-agbapụ
ọsọ. Unu agaghị enwe ike iguzo n’ihu ndị iro unu. 38 Unu ga-ala n’iyi n’etiti ndị mba
ọzọ, ala ndị iro unu ga-eri unu. 39 Ndị ahụ a hapụrụ na ndụ n’etiti unu ga-ata ahụhụ
n’ala ndị iro ha n’ihi mmehie ha. Ha ga-atakwa ahụhụ n’ihi mmehie nke nna nna
ha.
40 “ ‘Ma ọ bụrụ na ha ekwupụta mmehie§ ha niile, na mmehie niile nke ndị nna
nna na ha na ha mehiere megide m, mmehie ekwesighị ntụkwasị obi ha, na mmehie
nnupu isi ha, nke ha mehiere megide m, 41 nke mere ka m doo onwe m imegide ha, na
izipụ ha gaa n’ala ndị iro ha, ọ bụrụ na ha eweda onwe ha ala nabata ntaramahụhụ m
nyere ha n’ihi mmehie ha 42 aga m echeta ọgbụgba ndụ mụ na Jekọb gbara, ọgbụgba
ndụ mụ na Aịzik gbara, na ọgbụgba ndụ mụ na Ebraham gbara. Aga m echeta ala
ahụ. 43 Ma ala ahụ aghaghị ịtọgbọrọ n’efu. Ọ ghakwaghị inwezu izuike ruuru ya,
oge ndị ahụ ọ tọgbọrọ n’efu, mgbe ha na-ebighị n’ime ya. Ha ga-anata ntaramahụhụ

§ **26:40** 26:40 1Jọn 1:9

ruuru ha n'ihi na ha jụrụ iwu m, sọọkwa ụkpụrụ m oyi. 44 Ma ewezugakwa ihe ndị
a niile, agaghị m ajụ ha,* maọbụ sọọ ha oyi, ruo na ibibi ha kpamkpam mgbe ahụ
ha nọ n'ala ndị iro ha. Agakwaghị m emebi ọgbụgba ndụ† mụ na ha gbara n'ihi na
abụ m Onyenwe anyị Chineke ha. 45 Kama n'ihi ha, aga m echeta ọgbụgba ndụ ahụ
mụ na nna nna ha gbara, ịbụ Chineke ha, ndị ahụ m kpọpụtara site n'ala Ijipt n'ihu
mba niile. Abụ m ONYENWE ANYỊ.' "
46 Ndị a bụ iwu, na ụkpụrụ na ndụmọdụ ONYENWE ANYỊ guzobere n'ugwu Saịnaị,
n'etiti ya onwe ya, na ụmụ Izrel, site n'aka Mosis.‡

## 27

### *Iwu banyere nkwa dị iche iche*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 2 "Gwa ụmụ Izrel sị ha, 'Ọ bụrụ na mmadụ
e kwee nkwa pụrụ iche iji mmadụ nye ONYENWE ANYỊ onyinye, ihe ndị a ka ọ ga-eji
gbara onye ahụ: 3 n'isi nwoke ọbụla gbara iri afọ abụọ ruo iri afọ isii, ọ ga-akwụ iri
ọlaọcha shekel ise, dịka ihe ọtụtụ ebe nsọ si dị. 4 N'isi nwanyị ọbụla gbara iri afọ
abụọ ruo iri afọ isii ọ ga-enye iri ọlaọcha shekel atọ. 5 N'isi nwoke gbara afọ ise ruo
iri afọ abụọ, ọ ga-enye iri ọlaọcha shekel abụọ. N'isi nwanyị gbara afọ ise ruo iri afọ
abụọ, ọ ga-enye ọlaọcha shekel iri. 6 A ga-akwụrụ nwantakịrị nwoke gbara site otu
ọnwa ruo afọ ise, ọlaọcha shekel ise, kwụọra nwantakịrị nwanyị gbara otu ọnwa ruo
afọ ise ọlaọcha shekel atọ. 7 N'isi nwoke gafere iri afọ isi, a ga-enye ọlaọcha shekel
iri na ise. N'isi nwanyị gafere iri afọ isi a ga-enye ọlaọcha shekel iri. 8 Ọ bụrụ na e
nwee onye ogbenye na-enweghị ego ọ ga-eji kwụọ ụgwọ ndị a, a ga-akpọtara ya onye
nchụaja, onye ga-ekwubi ihe onye ahụ kwere nkwa ga-akwụ dịka ego o nwere ruru.
9 " 'Ọ bụrụ anụ ụlọ dị mma inye ONYENWE ANYỊ dịka onyinye ka e kwere nkwa
inye, anụ ụlọ e nyere ONYENWE ANYỊ ga-aghọ ihe dị nsọ. 10 Onye kwere nkwa inye ya
enweghị ike iji anụ ụlọ nke ahụ ya na-ezughị oke gbanwere anụ ụlọ ahụ na-enweghị
ntụpọ. O nwekwaghị ike iji anụ ụlọ ahụ na-enweghị ntụpọ gbanwere nke anụ ahụ
ya na-ezughị oke. Ọ bụrụ na o mee otu a, anụ ụlọ nke mbụ, na nke abụọ, ga-abụ ihe
dị nsọ. 11 Ọ bụrụ na anụ ụlọ o ji kwee nkwa bụ anụ ụlọ rụrụ arụ,* ụdị anụ ụlọ ahụ
a jụrụ ịnabata dịka onyinye maka iji ya chụọ aja nye ONYENWE ANYỊ, a ga-akpụtara
onye nchụaja anụ ụlọ ahụ. 12 Ọ bụ ya ka ọ dịrị ikpebi ma anụ ụlọ ahụ ọ dị mma, ma ọ
jọrọ njọ. Ọnụ ego ọbụla onye nchụaja kpebiri, ka onye wetara anụ ụlọ ahụ ga-akwụ.
13 Ọ bụrụ na onye nwe anụ ụlọ ahụ achọọ ịgbara ya, ọ ga-akwụ ụgwọ anụ ụlọ ahụ,
tụkwasịkwa n'elu ya otu ụzọ n'ime ụzọ ise nke ọnụahịa anụ ụlọ ahụ.
14 " 'Ọ bụrụ na mmadụ enye ụlọ ya, dịka ihe ga-adị nsọ nye ONYENWE ANYỊ, onye
nchụaja ga-ekpebi maọbụ ụlọ dị mma, ma ọ bụkwanụ ụlọ jọrọ njọ. Ọ ga-ekwukwa ihe
bụ ọnụahịa ụlọ ahụ. 15 Ọ bụrụ na onye ahụ nke na-edo ụlọ ya nsọ achọọ ịgbara ya,
ọ ga-akwụ ọnụahịa ụlọ ahụ, tụkwasịkwa n'elu ya otu ụzọ n'ime ụzọ ise nke ọnụahịa
ụlọ ahụ. Emesịa, ụlọ ahụ ga-abụkwa nke ya.
16 " 'Ọ bụrụ na mmadụ ewere mpaghara ala ubi ezinaụlọ ya nye ONYENWE ANYỊ ka
ihe ido nsọ, ihe a ga-eji mata ọnụahịa ala ahụ ga-abụ ụdị ihe ubi e nwere ike ịkụ
n'ime ya. Ọnụahịa ala ubi e nwere ike ịkụnye ọka balị ruru otu ihe ọtụtụ homa, ga-
abụ iri mkpụrụ ego ọlaọcha shekel ise. 17 Ọ bụrụ n'ime afọ inwere onwe ka o doro
ala ahụ nsọ, agaghị agbanwe ọnụahịa ya. 18 Ma ọ bụrụ na o doro ala ahụ nsọ mgbe
afọ inwe onwe ahụ gafere, onye nchụaja ga-agụkọrọ ya ọnụahịa ya dịka afọ ole ọ
fọdụrụ mgbe mmemme afọ inwere onwe ọzọ ga-adị. A ga-ewebilatakwa ihe ọnụahịa
ya ruru. 19 Ọ bụrụ na onye doro ala ahụ nsọ achọọ ịgbara ala ya, ọ ga-akwụ ọnụahịa

* **26:44** 26:44 Rom 11:2 † **26:44** 26:44 Dit 4:31 ‡ **26:46** 26:46 Lev 7:38; 27:34 * **27:11** 27:11 Anụ ụlọ rụrụ arụ Ndị a bụ anụ ndị ahụ a jụrụ ịnabata maka i ji chụọ aja, ha bụ ịnyịnya, ịnyịnya kamel na ịnyịnya ibu.

ahụ onye nchụaja kpebiri, tụkwasị ya ego ruru otu ụzọ n’ime ụzọ ise nke ọnụahịa
ala ahụ. Mgbe ahụ ala ahụ ga-abụkwa nke ya. 20 Ọ bụrụ na ọ gbapụtaghị ala ahụ,
maọbụ na o resila ya onye ọzọ, a gaghị agbapụtakwa ala ahụ ọzọ. 21 Mgbe mmemme
afọ inwere onwe ruru, ala ahụ ga-aghọ ala dị nsọ, ala e doro nsọ nye ONYENWE ANYỊ.
Ndị nchụaja ga-ewere ya ka ọ bụrụ nke ha.

22 “ ‘Ọ bụrụ na mmadụ e doro ONYENWE ANYỊ ala ubi ọ zụrụ azụ nsọ, nke na-abụghị
ala ezinaụlọ ha, 23 onye nchụaja ga-agụ afọ ole ọ fọdụrụ ruo mmemme afọ inwere
onwe. Ọ ga-agwa onye ahụ ego ole ọ ga-akwụ n’ihi ya. Ego ọbụla ọ kwụrụ n’ụbọchị
ahụ ga-abụ ihe dị nsọ nye ONYENWE ANYỊ. 24 Mgbe afọ inwere onwe ahụ zuru, onye
nwe ala ahụ, ya bụ onye ahụ e si n’aka ya zụọ ya, ga-ewerekwa ala ya. 25 Ọnụahịa
ọbụla a ga-ekpebi ga-abụ n’usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. Iri gera abụọ† ga-abụ otu
shekel.

26 “ ‘A gaghị edo nwa mbụ anụmanụ mụtara nsọ maọbụ ehi maọbụ atụrụ n’ihi na
ha bụ nke ONYENWE ANYỊ. 27 Ọ bụrụ otu n’ime anụ ndị ahụ rụrụ arụ, a ga-agbara ya
n’ọnụ ego nke akara bụ ọṅụ ahịa ya, tụkwasịkwa n’elu ya otu ụzọ n’ime ụzọ ise nke
ọnụahịa ya. Ọ bụrụkwanụ na onye nwe anụ ụlọ ahụ achọghị ịgbarakwa ya, a ga-ere
ya n’ọnụ ahịa dịka o ruru.

28 “ ‘A gaghị ere, maọbụ gbara ihe ọbụla mmadụ nwere, nke o doro nsọ‡ nye
ONYENWE ANYỊ, maọbụ mmadụ, maọbụ ala ezinaụlọ, maọbụ anụ ụlọ, n’ihi na ihe
ọbụla nke e wezugara iche bụ ihe dịkarịsịrị nsọ nye ONYENWE ANYỊ.

29 “ ‘Mgbapụta ọbụla adịghị nye onye ọbụla e doro nsọ nye mbibi. A ghaghị ime
ka ọ nwụọ.

30 “ ‘Otu ụzọ n’ime ụzọ iri nke ihe niile si n’ala, maọbụ mkpụrụ ọghịgha nke ubi,
maọbụ mkpụrụ nke osisi mịrị, bụ nke ONYENWE ANYỊ. Ha bụ ihe nsọ dịrị ONYENWE
ANYỊ. 31 Onye ọbụla chọrọ ịgbara otu ụzọ n’ime ụzọ iri nke ihe ubi ya aghaghị ịkwụ
ọnụahịa ya, tụkwasị ya otu ụzọ n’ime ụzọ ise nke ọnụahịa e kwesiri ire ya. 32 Otu
ụzọ n’ụzọ iri nke igwe ehi na atụrụ niile, anụ nke iri ọbụla nke na-agabiga n’okpuru
mkpanaka onye ọzụzụ atụrụ mgbe a na-agụ ha ọnụ, ga-abụ ihe dị nsọ nye ONYENWE
ANYỊ. 33 A gaghị ahọ anụ ụlọ a na-enye ONYENWE ANYỊ ahọ, ile ma ha dị mma, maọbụ
na ha dị njọ. A gaghị agbanwekwa ha. Ọ bụrụ na a gbanwee ha, ndị e ji gbanwee ha
na ndị a na-achọ ịgbanwe ga-aghọ ihe dị nsọ, a gaghị agbarakwa ha.’ ”

34 Ndị a bụ iwu ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n’ugwu Saịnaị ka ọ nye ụmụ Izrel.

† **27:25** 27:25 Ọpụ 30:13 ‡ **27:28** 27:28 Jos 6:15-17

# Ọnụọgụgụ

*Ịgụ ọnụ*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu n'ọzara Saịnaị, n'ime ụlọ nzute, n'ụbọchị nke
mbụ,* n'ọnwa nke abụọ nke afọ abụọ, mgbe ụmụ Izrel pụtachara site n'obodo Ijipt.
Ọ sịrị, 2 "Gaa gụọ ma chọpụta ọnụọgụgụ ndị ikom niile e nwere n'etiti ọgbakọ Izrel,
dịka ebo ha na agbụrụ ha si dị, na dịka ezinaụlọ ha si dịkwa. Depụta aha nwoke
ọbụla n'otu na otu. 3 Gị na Erọn ga-agụkọta ndị ikom Izrel niile gbara iri afọ abụọ
maọbụ karịa ọnụ, bụ ndị tozuru ije agha. Unu ga-edo ha n'usuu, n'usuu. 4 Otu nwoke,
site n'ebo Izrel ọbụla, onye bụ onyendu ezinaụlọ, ga-esonyere unu n'ọrụ a.

5 "Ndị a bụ aha ndị ikom ndị ahụ ga-enyere unu aka.

"Site n'ebo Ruben, Elizọ na Shedeua,
6 site n'ebo Simiọn, Shelumiel nwa Zurishadai,
7 site n'ebo Juda, Nashọn nwa Aminadab,
8 site n'ebo Isaka, Netanel nwa Zua,
9 site n'ebo Zebụlọn, Eliab nwa Helọn,
10 Site n'ụmụ Josef:
site n'ebo Ifrem, Elishama nwa Amihud
site n'ebo Manase, Gamaliel nwa Pedazo
11 site n'ebo Benjamin, Abidan nwa Gidiọn
12 site n'ebo Dan, Ahieza nwa Amishadai
13 site n'ebo Asha, Pagịel nwa Okran
14 site n'ebo Gad, Eliasaf nwa Deuel
15 site n'ebo Naftalị, Ahira nwa Enan."

16 Ndị a bụ ndị ikom e si n'ọgbakọ ahụ họpụta, ndị bụ ndị ndu ebo dị iche
iche n'Izrel. Ha bụ ndị ndu ebo niile dị n'Izrel.

17 Mosis na Erọn nabatara ndị ikom ndị a, bụ ndị e depụtara aha ha. 18 Emesịa,
ha kpọrọ nzukọ ndị Izrel niile ka ha zukọọ n'ụbọchị mbụ nke ọnwa abụọ. Ndị niile
zukọrọ kọwara ikwu ha na ezinaụlọ ha si pụta n'otu na otu. Ma ndị ikom niile
gbara site n'iri afọ abụọ gbagoo ka e denyere aha ha n'akwụkwọ n'otu na otu, 19 dịka
ONYENWE ANYỊ si nye Mosis n'iwu. Otu a kwa ka Mosis si gụọ ha ọnụ n'ọzara Saịnaị.

20 Ụmụ Ruben, bụ ọkpara Izrel: Ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo; ndị
tozuru ije agha ka e dere aha ha n'usoro n'otu n'otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ
ha si dị. 21 Ọnụọgụgụ ndị niile si n'ebo Ruben dị iri puku anọ, puku isii na narị
ise (46,500).

22 Site n'ụmụ Simiọn, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije
agha ka e dere aha ha n'usoro n'otu n'otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị.
23 Ọnụọgụgụ ndị niile sị n'ebo Simiọn dị iri puku ise, puku itoolu na narị atọ
(59,300).

* **1:1** 1:1 Nke a bụ otu ọnwa site n'oge ụmụ Izrel si Ijipt rute n'ọzara Saịnaị, Ọpụ 9:1 otu ọnwa mgbe arụchara ụlọ nzute ahụ n'ọzara, Ọpụ 40:17 bụrụkwa mgbe abalị iri na ise gafesịrị site n'oge ha mere ncheta Mmemme Ngabiga n'ọzara Saịnaị.

24 Site n’ụmụ Gad, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije agha ka e
dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị. 25 Ọnụọgụgụ
ndị niile sị n’ebo Gad dị iri puku anọ, puku ise na narị isii na iri ise (45,650).

26 Site n’ụmụ Juda, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije agha ka
e dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị. 27 Ọnụọgụgụ
ndị niile sị n’ebo Juda dị iri puku asaa, puku anọ na narị isii (74,600).

28 Site n’ụmụ Isaka, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije agha ka
e dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị. 29 Ọnụọgụgụ
ndị niile sị n’ebo Isaka dị iri puku ise, puku anọ na narị anọ (54,400).

30 Site n’ụmụ Zebụlọn, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije
agha ka e dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị.
31 Ọnụọgụgụ ndị niile sị n’ebo Zebụlọn dị iri puku ise, puku asaa na narị anọ
(57,400).

32 Site n’ụmụ Josef, ya bụ ụmụ Ifrem, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo,
ndị tozuru ije agha ka e dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dịka ikwu ha na
ezinaụlọ ha si dị. 33 Ọnụọgụgụ ndị niile sị n’ebo Ifrem dị iri puku anọ na
narị ise (40,500).
34 Site n’ụmụ Manase, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije
agha ka e dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị.
35 Ọnụọgụgụ ndị niile sị n’ebo Manase dị iri puku atọ, puku abụọ na narị abụọ
(32,200).

36 Site n’ụmụ Benjamin, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije
agha ka e dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị.
37 Ọnụọgụgụ ndị niile sị n’ebo Benjamin dị iri puku atọ, puku ise na narị anọ
(35,400).

38 Site n’ụmụ Dan, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije agha ka e
dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị. 39 Ọnụọgụgụ
ndị niile sị n’ebo Dan dị iri puku isii, puku abụọ na narị asaa (62,700).

40 Site n’ụmụ Asha, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije agha ka
e dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị. 41 Ọnụọgụgụ
ndị niile sị n’ebo Asha dị iri puku anọ, otu puku na narị ise (41,500).

42 Site n’ụmụ Naftalị, ndị ikom niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị tozuru ije agha ka
e dere aha ha n’usoro n’otu n’otu dị ka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị. 43 Ọnụọgụgụ
ndị niile sị n’ebo Naftalị dị iri puku ise, puku atọ na narị anọ (53,400).

44 Ndị a bụ ndị ikom Mosis na Erọn, na ndị ndu Izrel iri na abụọ ndị ahụ
gụrụ ọnụ, onye ọbụla n’ime ha nọchitere anya ezinaụlọ ya. 45 Ndị Izrel
niile gbara iri afọ abụọ gbagoo, ndị nwere ike ije agha ka a gụrụ ọnụ dịka
ezinaụlọ ha si dị. 46 Mgbakọ ọnụọgụgụ ndị a niile dị, narị puku isii, puku
atọ, narị ise na iri ise (603,550).

47 A gụnyekọtaghị ọnụọgụgụ ebo nna nna Livayị n’ịgụ ọnụ a, 48 n’ihi na ONYENWE
ANYỊ gwara Mosis, sị, 49 “Ị gaghị agụ ndị ebo Livayị ọnụ. Ị gakwaghị agbakọnye

ọnụọgụgụ ha n'ọnụọgụgụ ndị Izrel. 50 Kama, ị ga-ahọpụta ndị Livayị ka ha bụrụ
ndị nlekọta ụlọ nzute Ihe Ama, na ngwongwo niile, na ihe niile dị nye ya. Ọ bụ
ha ga-ebu ụlọ nzute ahụ na ngwongwo ya niile: ha ga na-elekọta ihe banyere ya, ọ
bụkwa gburugburu ya ka ha ga-ama ụlọ ikwu ha. 51 Mgbe ọbụla kwa a ga-ebugharị
ya maka njem, ọ bụ ọrụ ha iweda ya. Mgbe ọbụla a ga-eguzo ya ọtọ, ọ bụkwa ọrụ
ndị Livayị iguzobe ya ọtọ. Onye ọbụla ọzọ ga-abịa nso ka a ga-egbu. 52 Ebo Izrel ndị
ọzọ ga-enwe ebe dị iche nye onwe ha, ebe ha ga-ewu ụlọ ikwu ha. Ha ga-akwụbakwa
ọkọlọtọ nke ha, igosi aha ebo ha. 53 Ndị Livayị ga-ama ụlọ ikwu ha gburugburu ụlọ
nzute Ihe Ama ahụ, ka iwe ọkụ m ghara ịbịakwasị n'ahụ nzukọ ụmụ Izrel. Ọ bụ ọrụ
ndị Livayị ilekọta ụlọ nzute Ihe Ama ahụ."

54 Ya mere, Izrel mere ihe ndị a niile ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu.

# 2

*Usoro ebo dị iche iche*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn sị ha, 2 "Ụmụ Izrel ga-ama ụlọ ikwu ha
gburugburu ụlọ nzute, n'ebe dịpụturu adịpụ site n'ụlọ nzute ahụ. Onye ọbụla ga-ama
ụlọ ikwu ya n'akụkụ ọkọlọtọ ebo ya, ha na ihe ịrịbama nke ụlọ ha."

3 N'akụkụ ọwụwa anyanwụ,
usuu ndị agha ebo Juda, ga-ama ụlọ ikwu ha n'akụkụ ọkọlọtọ ha. Onyendu ha
ga-abụ Nashọn nwa Aminadab. 4 Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ya dị puku iri asaa
na anọ, na narị isii (74,600)
5 N'akụkụ ha ka usuu ndị agha ebo Isaka ga-amanye ụlọ ikwu ha. Onyendu ha bụ
Netanel nwa Zua. 6 Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ha dị iri puku ise, puku anọ na narị
anọ (54,400).
7 N'akụkụ ha ka usuu ndị agha ebo Zebụlọn ga-amanye ụlọ ikwu ha. Onyendu ha
bụ Eliab nwa Helọn. 8 Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ha dị iri puku ise, puku asaa na
narị anọ (57,400).
9 Ọnụọgụgụ ndị niile a gụkọtara ha na Juda n'ọwụwa anyanwụ nke ụlọ
nzute ahụ dị narị puku, iri puku asatọ na puku isii na narị anọ (186,400).
Ha ga-ebu ụzọ bulie ije.

10 N'akụkụ ndịda ka
usuu ndị agha ebo Ruben ga-ama ụlọ ikwu ha n'akụkụ ọkọlọtọ ha. Onyendu ha bụ
Elizọ nwa Shedeua. 11 Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ha dị iri puku anọ, puku isii na
narị ise (46,500).
12 N'akụkụ ha ka ebo Simiọn ga-ama ụlọ ikwu ha. Onyendu ha bụ Shelumiel nwa
Zurishadai. 13 Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ha dị iri puku ise, puku itoolu na narị
atọ (59,300).
14 Ebo Gad ga-esokwa ha. Onyendu ha bụ Eliasaf nwa Deuel.* 15 Ọnụọgụgụ usuu
ndị agha ha dị iri puku anọ, puku ise na narị isii na iri ise (45,650).
16 Ya mere ọnụọgụgụ ndị niile ha na Ruben bikọrọ na ndịda ụlọ nzute ahụ
dị narị puku, iri puku ise na otu, na narị anọ na iri ise (151,450) dịka usuu
ndị agha ha si dị. Ebo atọ a bụ ndị na-eso ebo atọ nke mbụ ahụ n'oge ọbụla
ụmụ Izrel nọ n'ije.

* **2:14** 2:14 N'ime ọtụtụ akwụkwọ ndị Masoreti, akwụkwọ ise nke ndị Samarịa nakwa akwụkwọ Vọlgetị, n'isi mbụ na amaokwu iri na anọ ha, ihe e dere bụ Reuel

[17] Ka ụlọ nzute na-azọli ije, ụlọ ikwu ndị Livayị ga-anọ n’etiti ụlọ ikwu ndị ọzọ. Ha ga-ebili ije n’usoro dịka ha si maa ụlọ ikwu ha. Ndị ọbụla n’ọnọdụ ha, n’okpuru ọkọlọtọ nke na-akọwa ndị ha bụ.

[18] N’akụkụ ọdịda anyanwụ
ka ebo Ifrem ga-ama ụlọ ikwu ha dịka ọkọlọtọ ha si dị. Onyendu ha bụ Elishama
nwa Amihud. [19] Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ha dị iri puku anọ na narị ise (40,500).
[20] Ebo Manase ga-amakwa ụlọ ikwu n’akụkụ ha. Onyendu ha bụ Gamaliel nwa
Pedazo. [21] Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ha dị iri puku atọ, puku abụọ na narị abụọ (32,200).
[22] N’akụkụ ha ka ebo Benjamin ga-ama ụlọ ikwu ha. Onyendu ha bụ Abidan nwa
Gidiọn. [23] Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ha dị iri puku atọ, puku ise na narị anọ (35,400).
[24] Ya mere ọnụọgụgụ ndị niile ha na Ifrem bikọrọ n’akụkụ ọdịda anyanwụ nke ụlọ nzute ahụ dị narị puku, puku asatọ na narị mmadụ (108,100). Ha niile na-esokwa n’azụ ndị Livayị na ụlọ nzute ahụ. Ndị a bụ ndị na-eso n’ọnọdụ nke atọ n’oge ọbụla ụmụ Izrel nọ n’ije.

[25] Ebo Dan na usuu ndị agha ha
ga-ama ụlọ ikwu ha n’akụkụ elu elu n’okpuru ọkọlọtọ ha. Onyendu ha bụ Ahieza
nwa Amishadai [26] Ọnụọgụgụ usuu ha dị iri puku isii, puku abụọ na narị asaa (62,700).
[27] N’akụkụ ha ka ebo Asha ga-ama ụlọ ikwu ha. Onyendu ha bụ Pagiel nwa Okran.
[28] Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ha dị iri puku anọ, otu puku na narị ise (41,500).
[29] Otu aka ahụ ka ebo Naftalị ga-ama ụlọ ikwu ha. Onyendu ha bụ Ahira nwa Enan.
[30] Ọnụọgụgụ usuu ndị agha ha dị iri puku ise, puku atọ na narị anọ (53,400).
[31] Ya mere ọnụọgụgụ ndị niile ha na Dan bikọrọ n’akụkụ elu elu nke ụlọ nzute ahụ dị narị puku, iri puku ise na puku asaa na narị isii (157,600). Ha ga-abụ ndị ga-ekpe azụ bilie ije n’okpuru ọkọlọtọ ha.

[32] Ndị a bụ ndị Izrel, ndị a gụrụ ọnụ dịka ezinaụlọ ha si dị. Ndị ikom niile nọ n’ọmụma ụlọ ikwu, dịka usuu ha dị iche iche si dị, narị puku isii, puku
atọ na narị ise na iri ise (603,550) n’ọnụọgụgụ. [33] Ma otu ọ dị, a gụnyeghị
ebo Livayị n’ọnụọgụgụ† ndị Izrel ndị ọzọ dịka iwu ONYENWE ANYỊ nyere Mosis si dị.

[34] Ya mere, ndị Izrel mere ihe niile dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n’iwu. Otu a ka ha si maa ụlọ ikwu ha n’akụkụ ọkọlọtọ ha. Otu a kwa ka ha si ebuli ije. Onye ọbụla n’ime ha dịka ebo ha na ezinaụlọ ha si dị.

# 3

*Ịgụ ndị Livayị ọnụ*

[1] Nke a bụ akụkọ banyere usoro agbụrụ Erọn na Mosis n’oge ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu n’ugwu Saịnaị.

[2] Ndị a bụ aha ụmụ ndị ikom Erọn, Nadab, ọkpara ya, Abihu, Elieza na Itama. [3] Ndị
a bụ aha ụmụ ndị ikom Erọn, ndị e tere mmanụ ịbụ ndị nchụaja, ndị e doro nsọ n’ihi
ije ozi dịka ndị nchụaja. [4] Ma ONYENWE ANYỊ mere ka Nadab na Abihu nwụọ, n’ihu
ya n’ime ọzara Saịnaị, mgbe ha ji ọkụ na-adịghị nsọ wetara ya onyinye. Ebe ọ bụ na

† **2:33** 2:33 Ọnụ 1:47-49

ha amụtaghị ụmụ ndị ikom nke aka ha, ọ bụ naanị Elieza na Itama jere ozi dịka ndị
nchụaja ogologo ụbọchị ndụ nna ha bụ Erọn.
5 N'oge ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 6 "Kpọkọtaa ebo Livayị* niile
were ha nyefee Erọn onye nchụaja n'aka, ka ha bụrụ ndị inyeaka ya. 7 Ha ga-ejere ya
na nzukọ Izrel niile ozi n'ụlọ nzute ahụ site na ịrụ ọrụ metụtara ebe obibi ahụ. 8 Ha
ga-elekọta ngwongwo ụlọ nzute, rụọ ọrụ metụtara ndị Izrel niile mgbe ha na-eje ozi
ha n'ebe obibi ahụ. 9 Were ndị Livayị nyefee Erọn na ụmụ ya ndị ikom n'aka. Ọ bụ
ha ka a ga-esi n'etiti ụmụ Izrel nyefee ha n'aka kpamkpam. 10 Họpụta Erọn na ụmụ
ya ndị ikom ka ha bụrụ ndị na-eje ozi dịka ndị nchụaja. Onye ọbụla ọzọ bịara nso
ebe nsọ ahụ ka a ga-egbu."
11 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 12 "Anarala m ndị Livayị dịka ndị nọchitere
anya ụmụ ndị ikom mbụ niile a mụrụ n'etiti ndị Izrel. Ndị Livayị niile bụ nke m.
13 N'ihi na ihe niile meghere akpanwa bụ nke m. Site n'ụbọchị ahụ m gburu ụmụ
ndị ikom niile e buru ụzọ mụọ n'ala Ijipt ka m doro ụmụ ndị ikom niile e buru ụzọ
mụọ n'etiti ndị Izrel nsọ nye onwe m, ma mmadụ, ma anụmanụ bụ nke m. Abụ m
ONYENWE ANYỊ."
14 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu n'ọzara Saịnaị sị ya, 15 "Gụọ, chọpụta ihe
ọnụọgụgụ ebo Livayị bụ.† Gosi ikwu na ezinaụlọ onye ọbụla si n'ime ya pụta.
Chọpụta ọnụọgụgụ ndị ikom niile site n'onye dị otu ọnwa." 16 Ya mere, Mosis gụrụ
ha ọnụ dịka iwu ọ natara site n'okwu ONYENWE ANYỊ si dị.

17 Ndị a bụ aha ụmụ ndị ikom Livayị:
Geshọn, Kohat na Merari.
18 Ndị a bụ aha ndị ikwu Geshọn dịka ezinaụlọ ha si dị:
Libni na Shimei.
19 Ụmụ Kohat dịka ikwu ha si dị:
Amram, Izha, Hebrọn na Uziel.
20 Ụmụ Merari dịka ikwu ha si dị:
Mahali na Mushi.

Ndị a bụ ndị agbụrụ Livayị, dịka ezinaụlọ ha si dị.

21 Ndị Geshọn bụ ndị ikwu Libni na Shimei. Ndị a bụ ndị ikwu Geshọn.
22 Ọnụọgụgụ ndị ikom dị otu ọnwa gbagoo dị puku asaa na narị ise (7,500).
23 Ndị ikwu Geshọn mara ụlọ ikwu ha n'akụkụ ọdịda anyanwụ, n'azụ ụlọ nzute.
24 Onyendu ezinaụlọ ndị Geshọn bụ Eliasaf nwa Lael.
25 Ọrụ dịrị ụmụ Geshọn bụ ilekọta ụlọ nzute ahụ, na ụlọ ikwu ya, na ihe mkpuchi ya,
na akwa mgbochi ọnụ ụzọ ụlọ nzute. 26 Ọ dịkwa ha n'aka ilekọta akwa mgbochi
niile nke ogige gbara ya gburugburu, na akwa e ji gechie ọnụ ụzọ ogige ahụ. Ha
nwekwara ọrụ ilekọta ebe ịchụ aja, na ụdọ niile, na ozi niile metụtara ihe ndị a.

27 Nke Kohat bụ ikwu ndị Aram, ndị Izha, ndị Hebrọn na ndị Uziel. Ndị a bụ
ndị ikwu Kohat.
28 Ọnụọgụgụ ndị ikom niile dị otu ọnwa gbagoo dị puku asatọ na narị isii (8,600).
Ọrụ dịrị ndị Kohat bụ ilekọta ebe nsọ.
29 Ndị ikwu Kohat mara ụlọ ikwu ha n'akụkụ ndịda nke ebe nsọ.

---

* **3:6** 3:6 Ndị Livayị dị iche na ndị nchụaja, ha bụ naanị ndị inyeaka nye ndị nchụaja. Ọ dị n'akwụkwọ Ọnụ 8:6-22; 18:1-6 Ọ bụ naanị Erọn, na ụmụ ya bụ ndị na-aga ozi dịka ndị nchụaja. Nke a dị n'akwụkwọ Ọnụ 18:7
† **3:15** 3:15 Ndị ikom ebo Livayị adịghị eso ndị ikom Izrel ndị ọzọ a ga agha. Ya mere na-adịghị agụnye ha n'ọnụọgụgụ dịka a na-agụnye ndị ikom ebo ndị ọzọ mgbe ha gbara iri afọ abụọ. Ọgụgụ a gụrụ ndị ikom Livayị bụ n'ihi i were ha dochie anya ndị ikom niile e bu ụzọ mụọ n'Izrel. Ọnụ 3:40-49

30 Onyendu ezinaụlọ ndị ikwu Kohat bụ Elizafan nwa Uziel.
31 Ọrụ e tinyere ha n’aka bụ ilekọta igbe ọgbụgba ndụ, tebul ahụ, ihe ịdọba oriọna
ahụ na ebe ịchụ aja. Ihe ọzọ bụ ilekọta ngwongwo niile e ji eje ozi n’ebe nsọ
ahụ, akwa mgbochi na ihe niile metụtara otu e si e ji ha eje ozi.
32 Onyeisi ndị ndu nke ndị Livayị bụ Elieza nwa Erọn, onye nchụaja. Ọ bụ ya
na-elekọta ndị ọrụ ha bụ ihu maka ihe niile metụtara ebe nsọ ahụ.

33 Ndị Merari bụ ikwu Mahali na Mushi. Ndị a bụ ndị ikwu Merari.
34 Ọnụọgụgụ ndị ikom niile dị otu ọnwa gbagoo dị puku isii na narị abụọ (6,200).
35 Onyendu ezinaụlọ ndị ikwu Merari bụ Zuniel nwa Abihail.
Ha mara ụlọ ikwu ha n’akụkụ ugwu nke ụlọ nzute ahụ.
36 Ọrụ e tinyere n’aka ndị ikwu Merari bụ ilekọta mbudo niile nke ụlọ nzute ahụ, na
mkpọrọ ya niile, ụkwụ ya niile, na ngwongwo niile e kwesiri iji rụọ ọrụ metụtara
ha. 37 Ọrụ ndị ọzọ bụ ilekọta ogidi osisi niile dị gburugburu ogige ahụ ha na ụkwụ
ha, ǹtu na ụdọ ha niile.

38 Mpaghara akụkụ ọwụwa anyanwụ n’ihu ụlọ nzute ahụ ka e debere maka ụlọ
ikwu Mosis na Erọn, na nke ụmụ ya ndị ikom.
Ọrụ ha bụ ilekọta ebe nsọ ahụ n’aha ụmụ Izrel niile.
Onye ọbụla ọzọ bịara ebe nsọ ahụ nso ka a ga-egbu.

39 Ya mere, ọnụọgụgụ ndị ikom Livayị niile Mosis na Erọn nwetara mgbe a
gụrụ ha ọnụ n’ikwu n’ikwu dịka iwu Onyenwe anyị nyere ha si dị, bụ iri
puku abụọ na puku abụọ (22,000). Nke a bụ ọnụọgụgụ ndị ikom niile dị
site n’otu ọnwa gaa n’ihu.

40 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị sịrị Mosis, “Gụọ ndị ikom Izrel niile e buru ụzọ mụọ,
ndị dị site n’otu ọnwa gbagoo. Chọpụta ọnụọgụgụ ha, dee aha ha niile n’akwụkwọ.
41 Nabata ndị Livayị ka ha bụrụ nke m n’ọnọdụ ndị ikom niile e bụrụ ụzọ mụọ n’Izrel.
Ọzọkwa, anụ ụlọ ndị Livayị niile bụ nke m, n’ọnọdụ ụmụ mbụ nke anụ ụlọ niile a
mụrụ n’etiti anụ ụlọ ndị Izrel niile. Abụ m Onyenwe anyị.”
42 Ya mere, Mosis gụrụ ndị ikom niile e buru ụzọ mụọ n’Izrel, dịka Onyenwe anyị
nyere ya n’iwu, 43 chọpụta na ọnụọgụgụ ndị ikom e buru ụzọ mụọ site n’onye dị otu
ọnwa ruo n’okenye dị iri puku abụọ na puku abụọ na narị abụọ na iri asaa na atọ
(22,273).
44 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị: 45 “Nye m ndị Livayị n’ọnọdụ
ndị ikom niile e bụ ụzọ mụọ n’Izrel. Nyekwa m anụ ụlọ ndị Livayị niile n’ọnọdụ anụ
ụlọ niile e bụ ụzọ mụọ n’Izrel. Ndị Livayị bụ nke m. Mụ onwe m bụ Onyenwe anyị.
46 Ihe a ga-eji gbara narị ụmụ ndị ikom Izrel abụọ na iri ndị ikom asaa, na atọ (273)
ndị e buru ụzọ mụọ mapụtara n’elu ọnụọgụgụ ndị Livayị 47 bụ ego ruru shekel ise,
na isi onye ọbụla, ụdị shekel ebe nsọ, nke ọtụtụ ya bụ iri gera abụọ. 48 Were ego
mgbapụta a nye Erọn na ụmụ ndị ikom ya.”
49 Ya mere, Mosis natara ego mgbapụta ahụ n’isi onye ọbụla dị n’ọnụọgụgụ ndị
ahụ mara n’elu ọnụọgụgụ ndị Livayị. 50 Ego niile ọ natara site n’aka ndị ikom Izrel
niile e bụ ụzọ mụọ bụ ọlaọcha ruru puku shekel na narị shekel atọ na iri isii na
ise (1,365), dịka ihe ọtụtụ shekel ebe nsọ si dị. 51 Mosis nyere Erọn na ụmụ ya ego
mgbapụta ndị a dịka Onyenwe anyị nyere ya n’iwu.

# 4

*Ụmụ Kohat*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn okwu sị, 2 “Gụọ ọnụ chọpụta, ọnụọgụgụ ụmụ
Kohat dị n’ebo Livayị dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị. 3 Gụọ ndị ikom niile gbarala
iri afọ atọ ruo iri afọ ise, ndị tozuru ije ozi n’ụlọ nzute.
4 “Nke a bụ ọrụ dịrị ndị Kohat n’ụlọ nzute, ilekọta ihe ndị ahụ kachasị ịdị nsọ.
5 Mgbe ọmụma ụlọ ikwu ahụ ga-ebili ije ha, Erọn na ụmụ ya ndị ikom ga-eburu ụzọ
banye n’ụlọ nzute ahụ wetuo akwa mgbochi ahụ, jiri ya kpuchie igbe iwu ọgbụgba
ndụ ahụ. 6 Mgbe ahụ, ha ga-agbakwasị akpụkpọ anụ ehi mmiri n’elu akwa mgbochi
ahụ, sakwasịkwa akwa na-acha anụnụ anụnụ* n’elu ya, tinyekwa mkpọrọ osisi niile
n’oghere ha kwesiri ịdị.
7 “N’elu tebul ahụ na-adị n’ihu Onyenwe anyị, ha ga-agbasa akwa anụnụ anụnụ
tụkwasịkwa efere niile, ngaji niile, ọkwa niile na iko aja ihe ọṅụṅụ. Achịcha ahụ
na-adịgide n’elu ya ga-adịkwa ebe ọ dị. 8 Ha ga-agbasakwa akwa uhie n’elu ya,
jiri akpụkpọ anụ ehi mmiri gbokwasịkwa n’elu akwa uhie ahụ. Mgbe ahụ, ha ga-
etinyekwa mkpọrọ osisi e ji ebu tebul n’ime oghere o kwesiri ịdị.
9 “Ọzọ, ha ga-eji akwa anụnụ anụnụ sachie ihe ịdọba oriọna ahụ nke na-enye ìhè,
ya na oriọna ya niile, mkpa ya niile na ihe ịkpakepụ ọkụ ya niile na ite mmanụ ya
niile, e ji awụnye ya mmanụ. 10 Emesịa, ha ga-eji akpụkpọ anụ ehi mmiri sachie ya
na ngwongwo ya niile, tụkwasị ya n’elu ihe e ji ebu ya.
11 “Ha ga-ejikwa akwa anụnụ anụnụ tụsaa n’elu ebe ịchụ aja ahụ e jiri ọlaedo
mee, werekwa akpụkpọ anụ ehi mmiri sachie ya, tinyekwa mkpọrọ osisi e ji ebu ya
n’oghere dị n’akụkụ ebe ịchụ aja ahụ.
12 “Ihe ndị ọzọ niile e ji eje ozi n’ebe nsọ ahụ ka ha ga-eji akwa anụnụ anụnụ
kekọtaa, jirikwa akpụkpọ anụ ehi mmiri sachie ha, tụkwasị ha n’elu ihe e ji ebu ha.
13 “A ga-ekpopụ ntụ dị n’ebe ịchụ aja bronz ahụ, jiri akwa na-acha ngwakọta anụnụ
na uhie, sachie ebe ịchụ aja bronz ahụ. 14 Emesịa ha ga-atụkwasị ihe niile e ji eje
ozi n’ebe ịchụ aja ahụ n’elu akwa ahụ, ihe dịka ite ịgụ ọkụ, na ndụdụ, na ihe ikpofu
ntụ, na efere ịkwọsa mmiri niile. Akpụkpọ anụ ehi mmiri ka a ga-eji sachie ha niile.
Ma n’ikpeazụ, mkpọrọ osisi e ji ebu ya ka a ga-etinye n’ebe ha kwesiri ịdị.
15 “Mgbe Erọn na ụmụ ya kpuchisịrị ụlọnsọ ahụ na ngwongwo niile nke ebe nsọ
ahụ, dịka ndị Izrel niile na-ejikere ibili ije, mgbe ahụ ka ndị Kohat ga-abata buru ihe
ndị a. Ma ha agaghị emetụ ihe nsọ ndị a aka ka ha ghara ịnwụ. Ọrụ ibu ihe ndị a
niile dị n’ime ụlọ nzute dịrị Ndị Kohat.†
16 “Elieza nwa Erọn, onye nchụaja, ka ọrụ ndị a dị n’aka: mmanụ e ji amụ ọkụ,
na ihe nsure ọkụ e ji ụda dị iche iche na-esi isi ụtọ mee, na onyinye mkpụrụ ọka
a na-enye ụbọchị niile, na mmanụ nsọ ahụ. N’aka ya ka ọrụ metụtara nlekọta ụlọ
nzute ahụ niile, ihe niile dị n’ime ya na ngwongwo nsọ ya dị iche iche dị.”
17 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn sị, 18 “Unu ekwekwala ka agbụrụ Kohat bụrụ
ndị e bipụrụ site n’ebo Livayị. 19 Otu a ka unu ga-esi meso ha mmeso ime ka ha dịrị
ndụ, ghara ịnwụ, mgbe ha bịara nso ihe ndị ahụ dịkarịsịrị nsọ, Erọn na ụmụ ya ga-
esoro ha banye gosi onye ọ bụla n’ime ha ihe ha ga-ebu. 20 Ma ndị Kohat ekwesighị
ịbanye ilekwasị ihe nsọ ndị ahụ anya, ka ha ghara ịnwụ.”

### *Ụmụ Geshọn*

21 Mgbe ahụ ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 22 “Gụọ ọnụ chọpụta ọnụọgụgụ
ụmụ Geshọn, dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị. 23 Mata ọnụọgụgụ ndị ikom ole ha
dị, ndị kwesiri ịrụ ọrụ n’ụlọ nzute, ndị gbara iri afọ atọ ruo iri afọ ise.
24 “Ihe ga-abụ ọrụ ndị ikwu Geshọn ga-abụ ije ozi na ibu ibu. 25 Ha ga-ebu akwa
mgbochi ebe obibi ahụ na nke ụlọ nzute ahụ, tinyere akwa e ji sachie ya na akpụkpọ

* **4:6** 4:6 Maọbụ, buluu † **4:15** 4:15 Ndị Kohat, ndị agbụrụ Geshọn na ụmụ Geshọn bụ ndị agbụrụ Livayị. Ha bụ ndị e nyere ọrụ ibu ihe dị iche iche n’ụlọ nzute. 4:24,29,34-49

anụ ehi mmiri e ji mee elu ụlọ ya na akwa mgbochi dị n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ. [26] Ha
ga-ebukwa akwa mgbochi niile e ji gechie ogige ahụ, akwa e ji gechie ọnụ ụzọ ama
ogige gbara ebe ịchụ aja na ụlọ nzute ahụ gburugburu, ụdọ ya niile na ngwongwo
niile e ji eje ozi. [27] Ọrụ ha niile, maọbụ ibu ihe ma ọ bụkwanụ ịrụ ọrụ ọzọ, ga-abụ
site na ntụziaka Erọn na ụmụ ya. Ị ga-ekenye ha ọrụ dịrị ha n’ihe niile bụ ihe ha
ga-ebu. [28] Nke a bụ ọrụ dịịrị ikwu Geshọn n’ụlọ nzute. Ha ga-anọ n’okpuru Itama,
nwa Erọn, onye nchụaja, onye bụ onyeisi ha.

*Ụmụ Merari*

[29] “Gụọ, chọpụta ọnụọgụgụ ụmụ Merari dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị.
[30] Chọpụta ọnụọgụgụ ndị ikom ole ha dị, ndị gbara iri afọ atọ ruo iri afọ ise, ndị
toruru ịrụ ọrụ n’ụlọ nzute Onyenwe anyị. [31] Ije ozi ha dịka o si metụta ọrụ ụlọ nzute
bụ ibu mbudo ụlọ nzute ahụ niile, osisi ntụbichi ya niile, ogidi osisi na ụkwụ ya niile;
[32] tinyere ogidi osisi niile dị ogige ahụ gburugburu na ụkwụ ha niile, ǹtu niile, ụdọ ha
niile na ngwongwo ndị ọzọ e ji arụ ọrụ metụtara ihe ndị a ha ga-ebu. Kenye nwoke
ọbụla ọrụ nke ya. Kpọ onye ahụ aha nye ya ọrụ nke ya. [33] Nke a bụ ọrụ dịịrị ndị
agbụrụ Merari mgbe ha na-aga ozi ha n’ụlọ nzute. Ha ga-anọ n’okpuru Itama, nwa
Erọn, onye nchụaja, onye bụ onyeisi ha.”

*Ịgụ agbụrụ Livayị niile ọnụ*

[34] Ya mere, Mosis na Erọn na ndị ndu nzukọ ụmụ Izrel gụrụ ma chọpụta ọnụọgụgụ
ụmụ Kohat, dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị.
[35] Ndị ikom niile gbara iri afọ atọ ruo iri afọ ise, ndị toruru ije ozi n’ụlọ nzute
ahụ [36] dịka ikwu ha si dị bụ puku abụọ na narị asaa na iri ise (2,750). [37] Ndị a
niile bụ ndị si n’ikwu Kohat ndị na-eje ozi n’ụlọ nzute. Mosis na Erọn gụrụ ha
ọnụ dịka iwu Onyenwe anyị nyere Mosis si dị.

[38] A gụrụ ụmụ Geshọn ọnụ dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị.
[39] Ndị ikom niile gbara iri afọ atọ ruo iri afọ ise, ndị toruru ije ozi n’ụlọ nzute,
[40] dịka ikwu ha si dị bụ puku abụọ na narị isii na iri atọ (2,630). [41] Ndị a niile
bụ ndị si n’ikwu Geshọn ndị na-eje ozi n’ụlọ nzute. Mosis na Erọn gụrụ ha ọnụ
dịka iwu Onyenwe anyị nyere Mosis si dị.

[42] A gụrụ ụmụ Merari ọnụ dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị.
[43] Ndị ikom niile gbara iri afọ atọ ruo iri afọ ise ndị toruru ije ozi n’ụlọ nzute
[44] dịka ikwu ha si dị bụ puku atọ na narị abụọ (3,200). [45] Ndị a niile bụ ndị si
n’ikwu Merari ndị na-eje ozi n’ụlọ nzute. Mosis na Erọn gụrụ ha ọnụ dịka iwu
Onyenwe anyị nyere Mosis si dị.

[46] Otu a ka Mosis na Erọn na ndị ndu ụmụ Izrel si gụọ ndị Livayị niile ọnụ
dịka ikwu ha na ezinaụlọ ha si dị. [47] Ndị ikom niile gbara iri afọ atọ ruo
iri afọ ise, ndị toruru ije ozi na ibu ụlọ nzute ahụ [48] dị puku asatọ na narị
ise na iri asatọ (8,580). [49] Dịka iwu Onyenwe anyị nyere site n’aka Mosis
si dị, e kenyere onye ọbụla ọrụ ya ma gwa ya ihe o kwesiri ibu.

A gụrụ ha ọnụ dịka Onyenwe anyị nyere Mosis n’iwu.

# 5

*Idebe ọmụma ụlọ ikwu ọcha*

[1] Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị ya, [2] “Nye ndị Izrel iwu ka ha site n’ọmụma
ụlọ ikwu ha kpọpụ onye ekpenta ọbụla maọbụ onye ihe si n’ahụ na-asọpụta, na ndị

merụrụ onwe ha site n’imetụ onye nwụrụ anwụ aka. 3 Iwu a metụtara onye ọbụla,
nwoke na nwanyị. Kpọpụ ha ka ha gaa n’azụ ọmụma ụlọ ikwu, ka ha ghara imerụ
ogige ụlọ ikwu ha bụ ebe ahụ m binyere unu.” 4 Ndị Izrel mezuru iwu a, site n’etiti
ha kpọpụ ndị dị otu a, dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n’iwu.

### *Ịkwụghachi ụgwọ*

5 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 6 “Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, ‘Mgbe
onye ọbụla, nwoke maọbụ nwanyị, mejọrọ mmadụ ibe ya n’ụzọ ọbụla, si otu a bụrụ
onye na-ekwesighị ntụkwasị obi nye ONYENWE ANYỊ bụ onye ikpe mara. 7 Onye dị
otu a aghaghị ikwupụta mmehie ya, kwụghachi onye ahụ o mejọrọ ihe iwu kwuru
na ọ ga-akwụ. Ọ ga-atụkwasị n’elu ihe ọ na-akwụghachi onye ahụ o mejọrọ ego
ọzọ ruru otu ụzọ n’ụzọ ise. 8 Ma ọ bụrụ na onye ahụ enweghị onye ikwu ya bụ
onye a ga-akwụghachi ụgwọ n’ihi mejọọ ahụ, ihe ịkwụghachi ụgwọ ahụ ga-abụ nke
ONYENWE ANYỊ, aghaghị inye onye nchụaja. A ga-atụkwasịkwa ya ebule a ga-eji chụọ
aja mkpuchi mmehie n’ihi onye ahụ mehiere. 9 Onyinye niile dị nsọ ndị Izrel wetaara
onye nchụaja bụ nke onye nchụaja ahụ. 10 Onyinye dị nsọ niile mmadụ na-eweta bụ
nke onye na-eweta ya, ma onyinye e nyere onye nchụaja bụ nke onye nchụaja.’ ”

### *Iwu banyere ekwesighị ntụkwasị obi*

11 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 12 “Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, Ọ
bụrụ na nwunye mmadụ ejehie ụzọ bụrụ onye na-ekwesighị ntụkwasị obi n’ebe di ya
nọ 13 site n’idinakwuru nwoke ọzọ n’ụzọ zoro ezo n’ebe di ya nọ ruo na achọpụtaghị
adịghị ọcha ya (ebe a na-enweghị onye ga-agba akaebe megide ya, maọbụ na e jidere
ya mgbe ọ na-akwa iko ahụ), 14 ọ bụrụ na mmụọ ekworo abịakwasị di ya, ọ bụrụkwa
na di nwanyị ahụ na-enyo nwunye ya enyo, na-ele ya anya dịka onye merụrụ onwe ya,
ma ọ bụkwanụ, ọ bụrụ na di ya esite n’ekworo nyoo nwunye ya, ọ bụ ezie na nwanyị
ahụ bụ onye na-emerụghị onwe ya, 15 nwoke a ga-akpọrọ nwunye ya bịakwute onye
nchụaja. Ọ ga-eweta onyinye iji ịbịaru nso n’ihi nwunye ya, nke bụ iko ụtụ ọka balị
abụọ a na-awụkwasịghị mmanụ, maọbụ ụda na-esi isi ụtọ a gwakọrọ agwakọ, n’ihi
na ọ bụ onyinye mkpụrụ ọka e sitere n’obi jupụtara n’ekworo nye, onyinye ịkpọtụ
uche n’ikpe ọmụma.

16 “ ‘Onye nchụaja ga-akpọbata nwanyị a mee ka o guzo n’ihu ONYENWE ANYỊ. 17 *Ọ
ga-ekunye mmiri nsọ n’ime ite aja, kporo aja n’ala site n’ụlọ nzute ahụ wụnye ya
n’ime mmiri ahụ. 18 Dịka nwanyị ahụ guzo n’ihu ONYENWE ANYỊ, onye nchụaja ahụ
ga-atọsa agịrị isi ya, tinye onyinye mkpụrụ ọka ncheta ahụ, nke bụ onyinye mkpụrụ
ọka ekworo ahụ n’ọbụaka nwanyị a. Onye nchụaja n’onwe ya ga-eguzo n’ihu nwanyị
a jide ite mmiri ilu ahụ na-eweta ọbụbụ ọnụ. 19 Mgbe ahụ, onye nchụaja ga-eme ka
nwanyị a ṅụọ iyi, mgbe ọ na-agwa ya okwu sị, “Ọ bụrụ na o nweghị nwoke ọbụla gị
na ya nwere mmekọ, ọ bụrụ na ị kpafughị ghọọ onye na-adịghị ọcha mgbe ị nọ n’ụlọ
di gị, ka ihe ọjọọ ọbụla ghara izute gị site na mmiri ilu a na-eweta ọbụbụ ọnụ. 20 Ma
ọ bụrụ na ị kpafuola mgbe ị ka nọ n’ụlọ di gị, ọ bụrụ na i merụọla onwe gị site na
idinakwuru nwoke ọzọ na-abụghị di gị,” 21 (n’oge a, onye nchụaja ga-eme ka nwanyị
a ṅụọ iyi nke ya na ọbụbụ ọnụ a so, gwa nwanyị okwu sị ya) “ka ONYENWE ANYỊ mee
ka ndị ị nọ n’etiti ha bụọ gị ọnụ ma kọchaa gị mgbe o mere ka apata gị ree ure, mgbe
o mere ka afọ gị koo eko. 22 Ka mmiri ilu a, nke na-eweta ọbụbụ ọnụ banye gị n’ahụ
ime ka afọ gị koo eko, imekwa ka akpanwa gị daa ada.”

“ ‘Nwanyị ahụ ga-aza sị, “Amen, ya dịrị m otu a.”

23 “ ‘Mgbe ahụ onye nchụaja ahụ ga-ede ọbụbụ ọnụ ndị a n’akwụkwọ, sanye ha
n’ime mmiri ilu ahụ. 24 Mgbe ahụ, ọ ga-enye nwanyị a mmiri ilu ahụ na-eweta

* **5:17** 5:17 Mmiri nsọ ahụ, na aja si n’ala ụlọ nzute ahụ, bụ ihe na-egosi ikpe ọmụma sitere n’aka Chineke megide onye ahụ ikpe mara.

ọbụbụ ọnụ ka ọ ṅụọ, mmiri a ga-abanye ya n’ime ahụ, wetara ya ịta ahụhụ dị ilu.
25 Emesịa, onye nchụaja ga-anara nwanyị ahụ onyinye mkpụrụ ọka ekworo ahụ o ji
n’ọbụaka ya, fegharịa ya n’ihu ONYENWE ANYị, buru ya gaa n’ebe ịchụ aja. 26 Onye
nchụaja ga-esite n’onyinye mkpụrụ ahụ kporo nke ga-eju ya aka, nke na-anọchite
anya ha niile, suo ha ọkụ n’elu ebe ịchụ aja. Emesịa, ọ ga-enye nwanyị ahụ mmiri
ahụ ka ọ ṅụọ. 27 Ọ bụrụ na nwanyị a emerụọla onwe ya, bụrụ onye na-ekwesighị
ntụkwasị obi nye di ya, mgbe ọ ṅụrụ mmiri na-eweta ọbụbụ ọnụ, ọ ga-abanye n’ime
ya wetara ya ahụhụ dị ilu. Afọ ya ga-eko, buo ibu,† akpanwa ya a gaghị anagide nwa.
Ọ ga-aghọ onye a bụrụ ọnụ n’etiti ndị ya. 28 Ma ọ bụrụ na nwanyị emerụghị onwe
ya, kama ọ bụ onye dị ọcha, ọ ga-abụ onye nwere onwe ya site n’ikpe ọmụma. Ọ
ga-atụrụ ime mụta ụmụ.

29 “ ‘Nke a bụ iwu metụtara ikwo ekworo mgbe nwanyị bi n’ụlọ di ya kpafuru
merụọ onwe ya. 30 Maọbụ mgbe ekworo jupụtara nwoke n’obi n’ihi na ọ gụrụ
nwunye ya dịka onye na-ekwesighị ntụkwasị obi. Onye nchụaja ga-eme ka nwanyị
a guzo n’ihu ONYENWE ANYị, mezuokwa ihe niile n’usoro dịka e si depụta ha n’ebe
a. 31 A gaghị ama di nwanyị a ikpe dịka onye mere ihe ọjọọ, kama nwanyị a ga-ebu
ahụhụ ya na mmehie ya naanị ya.’ ”

# 6

*Onye Nazirait*

1 ONYENWE ANYị gwara Mosis sị, 2 Gwa ndị Izrel sị ha, “Mgbe nwoke maọbụ nwanyị
ṅụrụ iyi* o ji kpebie ikwe nkwa pụrụ iche nke ikewapụ onwe ya nye ONYENWE ANYị
dịka onye Nazirait, 3 ha ga-ekewapụ onwe ha site na ịṅụ mmanya, maọbụ detụ ihe
ọṅụṅụ ọbụla na-aba n’anya ire. Ha agaghị aṅụ mmiri mkpụrụ vaịnị, ọ gaghị ata
mkpụrụ vaịnị ọhụrụ maọbụ nke a mịkpọrọ amịkpọ. 4 Oge ahụ niile ọ bụ onye
Nazirait,† ọ gaghị eri ihe ọbụla sitere na mkpụrụ osisi vaịnị maọbụ mkpụrụ ya maọbụ
okpokoro azụ ya.

5 “ ‘N’ime oge niile nke imezu nkwa ikewapụ onwe ya nye ONYENWE ANYị, agụba
agaghị agabiga ya n’isi. Ọ ga-anọgide bụrụ onye dị nsọ tutu ruo oge nkwa ikewapụ
onwe ya nye ONYENWE ANYị zuru. N’ihi nke a, ọ ga-ahapụ agịrị isi ya ka o too.

6 “ ‘N’ime oge niile nke imezu nkwa ikewapụ onwe ya nye ONYENWE ANYị, ọ gaghị
aga nso mmadụ ọbụla nwụrụ anwụ, 7 ọ bụladị na nna ya, maọbụ nne ya, maọbụ
nwanne ya nwoke, maọbụ nwanne ya nwanyị anwụọ. Ọ gaghị emerụ onwe ya n’ihi
ha, n’ihi na akara ikewapụ onwe ya iche nye Chineke dị ya n’isi. 8 N’oge niile nke
ikewapụ onwe ya, onye e doro nsọ nye ONYENWE ANYị ka ọ bụ.

9 “ ‘Ọ bụrụ na mmadụ anwụọ na mberede n’akụkụ onye nazirait, si otu a merụọ
agịrị isi ya nke na-egosi ido nsọ ya, ọ ghaghị ịkpacha isi ya n’ụbọchị nke asaa bụ
ụbọchị ime ka ọ dị ọcha. 10 N’ụbọchị nke ọzọ ya, bụ n’ụbọchị nke asatọ. Ọ ghaghị
iwetara onye nchụaja nduru abụọ maọbụ ụmụ kpalakwukwu abụọ, n’ọnụ ụzọ ụlọ
nzute ahụ. 11 Onye nchụaja ahụ ga-ewere otu n’ime ha chụọrọ ya aja mmehie. Ọ ga-
ewerekwa nnụnụ nke ọzọ chụọrọ ya aja nsure ọkụ maka ikpuchiri onye ahụ nwere

† **5:27** 5:27 Afọ ya ga-aza aza * **6:2** 6:2 Ịṅụ iyi maka mkpebi ị bụ onye Nazirait bụ ihe a na-adịghị akwagide mmadụ ka o mee. Ma oge ụfọdụ, nne na nna nwantakịrị nwere ike ṅụọ iyi n’isi nwa ha. Mgbe mmadụ họọrọ ịṅụ iyi a, ọnọdụ a nwere ike bụrụ maka nwa oge nta, ihe dịka iri abalị atọ ma ọ bụkwanụ oge ndụ ya niile. Ma mgbe nne na nna ṅụrụ iyi a n’isi nwa ha, nwa ahụ ga-abụ onye Nazirait n’oge ndụ ya niile. Ọ dị ọkpụrụkpụ ụzọ ihe atọ na-eso ịṅụ iyi a: Nke mbụ, onye ahụ agaghị aṅụ mmanya maọbụ detụ ihe ọṅụṅụ ọbụla na-aba n’anya ire. Nke abụọ, dịka ọ na-adị ndụ, ọ gaghị akpụcha agịrị isi ya, ọ gaghị akpachakwa afụọnụ ya. Nke atọ, ọ gaghị emetụ ozu ọbụla aka. † **6:4** 6:4 Onye e doro nsọ site na nkwa o kwere ikewapụ onwe ya nye Onyenwe anyị.

akara ido nsọ mmehie ya, bụ nke o mere site n'ịnọ onye nwụrụ anwụ nso. Ọ ga-
edokwa isi ya nsọ ọzọ n'ụbọchị ahụ. 12 Ọ ga-ekewapụ onwe ya nye ONYENWE ANYỊ
dịka o mere na mmalite ụbọchị niile nke ido nsọ ya. Wetakwa otu nwa ebule gbara
otu afọ maka aja ikpe ọmụma. A gaghị agụnyere ya ụbọchị ndị ahụ niile gafere
tupu o merụọ onwe ya, n'ihi na o merụrụ onwe ya mgbe ọ nọ ọnọdụ imezu nkwa
nkewapụ.
13 " 'Nke a bụ iwu dịrị onye Nazirait mgbe oge ido onwe ya nsọ nye ONYENWE ANYỊ
zuru. A ga-eduru ya bịa n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ. 14 N'ebe ahụ ka ọ ga-anọ chee
onyinye ya ndị a n'ihu ONYENWE ANYỊ: nwa ebule na-enweghị ntụpọ, gbara otu afọ,
maka aja nsure ọkụ na otu nwa nne atụrụ na-enweghị ntụpọ gbara otu afọ maka aja
mmehie, na otu ebule ahụ zuruoke maka aja udo, 15 tinyere aja mkpụrụ ọka, na aja
ihe ọṅụṅụ na otu nkata achịcha a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee, na achịcha e ji
ezi ụtụ ọka a gwara mmanụ oliv mee, na achịcha mbadamba na-ekoghị eko nke e
tere mmanụ oliv.
16 " 'Onye nchụaja ahụ ga-eche ihe aja ndị a niile n'ihu ONYENWE ANYỊ, chụọ aja
mmehie na aja nsure ọkụ. 17 Ọ ga-eji nwa ebule ahụ chụọ aja udo nye ONYENWE ANYỊ,
ya na nkata achịcha na-ekoghị eko ahụ. Ọ ga-achụkwa aja mkpụrụ ọka, na aja ihe
ọṅụṅụ.
18 " 'Mgbe ahụ, onye ahụ doro onwe ya nsọ nye ONYENWE ANYỊ ga-akpụchapụ agịrị
isi ya nke bụ ihe na-egosi ido nsọ ya. Ọ ga-eme nke a na mbata ọnụ ụzọ ụlọ nzute
ahụ. Emesịa, ọ ga-etinye agịrị isi ahụ ọ kpụchapụtara n'ọkụ ahụ dị n'okpuru aja udo
ahụ.
19 " 'Mgbe a kpụchasịrị onye ahụ agịrị isi ya, nke na-egosi ido nsọ ya, onye nchụaja
ga-ewere ubu aka ebule ahụ e sịrị esi, otu ogbe achịcha na-ekoghị eko na otu
mbadamba achịcha na-ekoghị eko site na nkata ahụ, tinye ha niile n'aka onye ahụ.
20 Onye nchụaja ahụ n'oge a, ga-ewere aja ndị a fufee ha n'ihu ONYENWE ANYỊ dịka
aja mfufe. Ha niile ga-abụ ihe nsọ nye onye nchụaja ahụ, tinyere obi anụ ahụ e fufere
efufe, na apata anụ ahụ e chere n'ihu ONYENWE ANYỊ. Mgbe nke a gasịrị, onye ahụ
doro onwe ya nsọ nwere onwe ya ịṅụ mmanya.
21 " 'Nke a bụ iwu dịrị onye ọ bụla kpebiri ikewapụ onwe ya nye ONYENWE ANYỊ
dịka onye Nazirait. Onyinye onye ahụ ga-enye ga-abụ dịka nkwa ido nsọ ya si dị,
tinyere ihe ndị ọzọ ha nwere ike inye. Onye dị otu a aghaghị imezu nkwa ọbụla o
kwere dịka iwu metụtara onye Nazirait si dị.' "

### *Ngọzị nke ndị nchụaja*

22 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 23 "Gwa Erọn na ụmụ ya ndị ikom sị, 'Otu
a ka unu ga-esi gọzie ndị Izrel. Unu ga-asị ha,
24 " ' "ONYENWE ANYỊ gọzie unu
ma chebe unu,
25 ONYENWE ANYỊ mee ka ihu ya mụkwasị unu,
ma meere unu amara,‡
26 ONYENWE ANYỊ chee ihu ya n'ebe unu nọ,
nyekwa unu udo." '
27 "Otu a ka ha ga-esi kwupụta aha m nye ụmụ Izrel. Mụ onwe m ga-agọzikwa ha."

## 7

### *Onyinye ido ụlọ nzute nsọ*

1 Mgbe Mosis guzobesiri ụlọ nzute ahụ ọtọ, o tere ya mmanụ. Doo ya na ihe niile
e ji chọọ ya mma nsọ. O tekwara ebe ịchụ aja mmanụ, doo ya nsọ, ya na ngwongwo
ya niile. 2 Mgbe ahụ, ndị ndu Izrel, ndịisi ezinaụlọ niile, ndị bụ ndị ndu ebo niile e

‡ **6:25** 6:25 Jen 43:29

tinyere ọrụ ịgụ ndị ahụ niile ọnụ wetara onyinye ha. 3 Ha wetara dịka onyinye ha
nye ONYENWE ANYỊ ụgbọala isii ihe juputara n'ime ha, na ehi iri na abụọ. Ndị ndu
abụọ ọbụla wetara otu ụgbọala, ma ha niile n'otu na otu wetara otu ehi, otu ehi. Ha
chere ihe ndị a niile n'ihu ụlọ nzute ahụ.

4 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 5 "Nabata onyinye ndị a niile,
ka e jiri ha rụọ ọrụ ụlọ nzute, were ha nyefee ndị Livayị n'aka, onye ọbụla dịka mkpa
ọrụ ya si dị."

6 Ya mere, Mosis nabatara ụgbọala ndị ahụ na ehi ndị ahụ, nyefee ha ndị Livayị
n'aka. 7 O nyere ụmụ Geshọn ụgbọala abụọ na ehi anọ, dịka ọrụ ha si dị. 8 Nye ụmụ
Merari, ụgbọala anọ na ehi asatọ, dịka ọrụ ha si dị. Ha niile nọ n'okpuru nlekọta
Itama nwa Erọn, onye nchụaja. 9 Mosis enyeghị ụmụ Kohat ihe ọbụla n'ihi na ọ bụ
n'isi mbụ aka ha ka ha ji ebu ihe nsọ ndị ahụ ha ketara ibu.

10 Ndị ndu ụmụ Izrel niile wetara onyinye ido nsọ n'ụbọchị e tere ebe ịchụ aja
ahụ mmanụ ido ya nsọ. Ha wetara ha, debe ha n'ihu ebe ịchụ aja ahụ. 11 N'ihi na
Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị, "Ka onyendu ọbụla weta onyinye n'ụbọchị dị
iche iche, otu onye, otu ụbọchị, maka ido nsọ nke ebe ịchụ aja ahụ."

12 Ya mere, Nashọn nwa Aminadab onye si n'ebo Juda wetara onyinye nke ya n'ụbọchị nke mbụ.

13 Onyinye o wetara bụ:

efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, dịka ihe ọtụtụ shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere abụọ ndị a ụtụ ọka a gwara mmanụ maka onyinye mkpụrụ ọka.

14 O wetara otu efere ọlaedo, nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda na-esi isi ụtọ.

15 O wetakwara otu nwa oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule nke gbara otu afọ maka aja nsure ọkụ.

16 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,

17 na ehi abụọ, na ebule* ise, na mkpi ise, na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ maka aja udo.

Nke a bụ onyinye Nashọn nwa Aminadab nyere.

18 N'ụbọchị nke abụọ, Netanel nwa Zua, onyendu ebo Isaka wetara onyinye nke ya.

19 Onyinye o wetara bụ:

otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.

20 O wetara otu efere ọlaedo, nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda na-esi isi ụtọ.

21 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja nsure ọkụ.

22 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,

23 na ehi abụọ, na ebule ise, mkpi ise, na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ maka aja udo.

Nke a bụ onyinye Netanel nwa Zua.

---

* **7:17** 7:17 Ya bụ oke atụrụ

24 N'ụbọchị nke atọ Eliab nwa Helọn onyendu ebo Zebụlọn wetakwara onyinye nke ya.
25 Onyinye o wetara bụ:
otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.
26 O wetara otu efere ọlaedo nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda na-esi isi ụtọ.
27 O wetakwara otu nwa oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja nsure ọkụ.
28 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,
29 na ehi abụọ, na ebule ise, mkpi ise, na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ maka aja udo.
Nke a bụ onyinye Eliab nwa Helọn wetara.

30 N'ụbọchị nke anọ, Elizọ nwa Shedeua onyendu ebo Ruben wetara onyinye nke ya.
31 Onyinye o wetara bụ:
otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.
32 O wetara otu efere ọlaedo, nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda na-esi isi ụtọ.
33 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja nsure ọkụ.
34 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,
35 na ehi abụọ, na ebule ise, mkpi ise, na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ maka aja udo.
Nke a bụ onyinye Elizọ nwa Shedeua nyere.

36 N'ụbọchị nke ise Shelumiel nwa Zurishadai, onyendu ebo Simiọn butere onyinye nke ya.
37 Onyinye o wetara bụ:
otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.
38 O wetara otu efere ọlaedo nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda na-esi isi ụtọ.
39 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja nsure ọkụ.
40 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,
41 ehi abụọ, ebule ise, mkpi ise na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ maka aja udo.
Nke a bụ onyinye Shelumiel nwa Zurishadai nyere.

42 N'ụbọchị nke isii, Eliasaf nwa Deuel onyendu ebo Gad butere onyinye nke ya.

43 Onyinye o wetara bụ:
otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.
44 O wetara otu efere ọlaedo, nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda na-esi isi ụtọ.
45 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja nsure ọkụ.
46 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,
47 na ehi abụọ, ebule ise, mkpi ise na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ maka aja udo.
Nke a bụ onyinye Eliasaf nwa Deuel nyere.

48 N'ụbọchị nke asaa, Elishama, nwa Amihud, onyendu ebo Ifrem butere onyinye nke ya.
49 Onyinye o wetara bụ:
otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.
50 O wetara otu efere ọlaedo, nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda na-esi isi ụtọ.
51 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja nsure ọkụ.
52 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,
53 na ehi abụọ, ebule ise, mkpi ise na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ maka aja udo.
Nke a bụ onyinye Elishama nwa Amihud nyere.

54 N'ụbọchị nke asatọ, Gamaliel nwa Pedazo onyendu ebo Manase nyere onyinye nke ya.
55 Onyinye o wetara bụ:
otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.
56 O wetara otu efere ọlaedo, nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda na-esi isi ụtọ.
57 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja nsure ọkụ.
58 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,
59 ehi abụọ, ebule ise, mkpi ise na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ maka aja udo.
Nke a bụ onyinye Gamaliel nwa Pedazo nyere.

60 N'ụbọchị nke itoolu, Abidan nwa Gidiọn onyendu ebo Benjamin nyere onyinye nke ya.
61 Onyinye o wetara bụ:

otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere
ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ
ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a
gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.
62 O wetara otu efere ọlaedo, nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda
na-esi isi ụtọ.
63 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja
nsure ọkụ.
64 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,
65 na ehi abụọ, ebule ise, mkpi ise na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a
chụọ maka aja udo.
Nke a bụ onyinye Abidan nwa Gidiọni nyere.

66 N'ụbọchị nke iri, Ahieza nwa Amishadai, onyendu ebo Dan butere onyinye
nke ya.
67 Onyinye o wetara bụ:
otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere
ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ
ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a
gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.
68 O wetara otu efere ọlaedo, nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda
na-esi isi ụtọ.
69 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja
nsure ọkụ.
70 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,
71 ehi abụọ, ebule ise, mkpi ise na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ
maka aja udo.
Nke a bụ onyinye Ahieza nwa Amishadai nyere.

72 N'ụbọchị nke iri na otu, Pagịel nwa Okran, onyendu ebo Asha butere
onyinye nke ya.
73 Onyinye o wetara bụ:
otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere
ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ
ndị a bụ n'usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a
gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.
74 O wetara otu efere ọlaedo, nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda
na-esi isi ụtọ.
75 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja
nsure ọkụ.
76 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,
77 na ehi abụọ, ebule ise, mkpi ise na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a
chụọ maka aja udo.
Nke a bụ onyinye Pagịel nwa Okran nyere.

78 N'ụbọchị nke iri na abụọ, Ahira nwa Enan, onyendu ebo Naftalị nyere
onyinye nke ya.
79 Onyinye o wetara bụ:
otu efere ọlaọcha nke ịdị arọ ya bụ narị shekel na iri shekel atọ, na otu efere
ịkwọsa mmiri e ji ọlaedo kpụọ, nke ịdị arọ ya bụ iri shekel asaa, efere abụọ

ndị a bụ n’usoro dịka shekel ebe nsọ si dị. A wụjuru efere ọbụla ezi ụtụ ọka a gwara mmanụ dịka onyinye mkpụrụ ọka.

80 O wetara otu efere ọlaedo nke ịdị arọ ya bụ shekel iri. A wụjuru efere a ụda na-esi isi ụtọ.

81 O wetakwara otu oke ehi, otu ebule, otu nwa ebule gbara otu afọ maka aja nsure ọkụ.

82 O wetakwara otu mkpi maka aja mmehie,

83 na ehi abụọ, ebule ise, mkpi ise na ụmụ ebule ise gbara otu afọ, otu afọ, ka a chụọ maka aja udo.

Nke a bụ onyinye Ahira nwa Enan nyere.

84 Ndị a bụ onyinye ndị ndu ụmụ Izrel wetara maka ido ebe ịchụ aja nsọ n’oge e tere ya mmanụ:

efere ọlaọcha iri na abụọ, na efere ọlaọcha ịkwọsa mmiri iri na abụọ, na efere
ọlaedo iri na abụọ. 85 Ịdị arọ nke efere ọlaọcha ọbụla dị otu narị shekel na
iri shekel atọ. Ịdị arọ nke efere ịkwọsa mmiri ọbụla dị iri shekel asaa. Ịdị arọ
efere ọlaọcha niile ha wetara bụ puku shekel abụọ na narị shekel anọ,† dịka
ihe ọtụtụ shekel ebe nsọ si dị. 86 Ịdị arọ nke otu n’ime efere ọlaedo iri na abụọ
ndị ahụ ụda nsure ọkụ na-esi isi ụtọ juru n’ime ha bụ iri shekel, dịka ihe ọtụtụ
shekel ebe nsọ si dị. Ịdị arọ nke efere ọlaedo ndị ahụ niile bụ otu narị shekel
na iri shekel abụọ.

87 Ọnụọgụgụ anụ ụlọ niile e wetara maka aja nsure ọkụ bụ: oke ehi iri na abụọ, na ebule iri na abụọ, na ụmụ ebule iri na abụọ gbara otu afọ, otu afọ, tinyere ihe niile ha wetara maka aja mkpụrụ ọka. E ji mkpi iri na abụọ chụọ aja mmehie.

88 Anụ ụlọ niile e ji chụọ aja udo bụ, iri oke ehi abụọ na anọ, na iri ebule isii, na iri mkpi isii, na ụmụ ebule iri isii ndị gbara naanị otu afọ, otu afọ.

Ndị a niile bụ onyinye e nyere maka ido ebe ịchụ aja nsọ n’oge e tere ya mmanụ.

89 Mgbe Mosis banyere n’ụlọ ikwu ahụ ka ya na Onyenwe anyị kparịa ụka, ọ nụrụ olu ahụ ka ọ na-agwa ya okwu site n’etiti cherubim abụọ ndị ahụ n’elu ebe mkpuchi mmehie dị n’elu igbe iwu ọgbụgba ndụ gwa ya okwu. N’ụzọ dị otu a ka Onyenwe anyị si gwa ya okwu.

# 8

### *Ịdọba oriọna*

1 Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị ya, 2 “Gwa Erọn okwu sị ya, ‘Mgbe ọbụla ị
mụnyere oriọna asaa nke iheọkụ, ị ga-edozi ha ka ìhè ha na-enwupụta naanị n’ihu
iheọkụ ahụ.’ ”

3 Erọn mere otu a. O doziri oriọna ndị ahụ ka ha chee ihu n’ihe ịdọba oriọna, dịka
Onyenwe anyị nyere Mosis n’iwu. 4 Otu a ka esi mee ihe ịdọba oriọna ahụ. Ọ bụ
naanị ọlaedo ka e ji kpụọ iheọkụ ahụ, site n’ụkwụ ya ruo n’okooko niile e ji chọọ ya
mma. A kpụrụ iheọkụ ahụ n’usoro dịka oyiyi Onyenwe anyị gosiri Mosis si dị.

### *Ido ndị Livayị nsọ*

5 Mgbe ahụ Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị, 6 “Ugbu a, site n’etiti ụmụ Izrel,
kpọpụta ụmụ Livayị, doo ha iche, mee ha ka ha dịrị ọcha. 7 Ime ka ha dị ọcha, lee
ihe ị ga-eme. Fesa ha mmiri na-asachapụ mmehie. Hụkwa na ha kpụchapụrụ ajị

† **7:85** 7:85 Puku shekel abụọ na narị shekel anọ nke a bụ kilogram iri abụọ na asatọ

niile dị ha n’ahụ, ma sachaa uwe ha. Si otu a mee ka ha bụrụ ndị dị ọcha. 8 Gwa
ha ka ha weta nwa oke ehi na onyinye mkpụrụ ọka, bụ ụtụ ọka a gwara mmanụ.
Ha ga-ewetakwa nwa oke ehi ọzọ; ka ọ bụrụ ihe ha ji achụ aja mmehie. 9 Emesịa,
kpọbata ụmụ Livayị n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ. Meekwa ka ọgbakọ ndị Izrel niile
zukọọ n’ebe ahụ. 10 Kpọpụta ndị Livayị n’ihu ONYENWE ANYỊ, ma mee ka ndị Izrel
niile bikwasị ha aka ha. 11 Mgbe ahụ, Erọn ga-ewere ndị Livayị chee ONYENWE ANYỊ
n’ihu dịka onyinye mfufe ndị Izrel niile na-enye ya. N’ụzọ dị otu a, ụmụ Livayị niile
ga-abụ ndị jikere ijere ONYENWE ANYỊ ozi.

12 “Emesịa, ndị Livayị ga-abịa bikwasị aka ha n’isi oke ehi abụọ ndị ahụ jiri otu
n’ime oke ehi abụọ ndị ahụ chụọ aja mmehie nye ONYENWE ANYỊ, jiri nke ọzọ chụọ
aja nsure ọkụ, maka ikpuchi mmehie ndị Livayị. 13 Mgbe ahụ, mee ka ndị Livayị
guzo n’ihu Erọn na ụmụ ndị ikom, werekwa ha nyefee ONYENWE ANYỊ n’aka dịka a
ga-asị na ha bụ onyinye mfufe a na-enye ONYENWE ANYỊ. 14 Otu a ka ị ga-esi doo ndị
Livayị nsọ ime ka ha dịrị iche site n’igwe ụmụ Izrel ndị ọzọ. Ọ bụ m nwe ndị Livayị.

15 “Mgbe i dosiri ndị Livayị nsọ, cheekwa ha n’ihu Onyenwe anyị dịka aja mfufe,*
ha ga-abịa n’ime ụlọ nzute ahụ ije ozi dịrị ha. 16 Ha bụ nke m site n’etiti ụmụ Izrel
niile. Anarala m ha ka ha bụrụ nke m n’ọnọdụ ụmụ niile e bụ ụzọ mụọ, nwa nwoke
nke nwanyị ọbụla n’Izrel. 17 N’ihi na nwa nwoke mbụ ọbụla a mụrụ n’etiti ndị Izrel
bụ nke m, ma mmadụ ma anụmanụ niile. Edoro m ha nsọ nye onwe m, site n’abalị
ụbọchị ahụ m tigbusiri ụmụ niile e bụ ụzọ mụọ n’Ijipt. 18 Ewerela m ndị Livayị
n’ọnọdụ ụmụ nwoke mbụ niile a mụrụ n’Izrel. 19 Site n’etiti ndị Izrel niile, ewerela
m ndị Livayị nye Erọn na ụmụ ya ndị ikom dịka onyinye, ka ha rụọ ọrụ niile dị n’ime
ụlọ nzute ahụ n’ọnọdụ ụmụ Izrel. Ka ha kpuchiere ha mmehie ha niile ka ihe otiti
nke nrịa nrịa ghara ịbịakwasị ụmụ Izrel, mgbe ọbụla ha bịara nso ebe nsọ ahụ.”

20 Ya mere, Mosis na Erọn na nzukọ niile nke ụmụ Izrel chere ụmụ Livayị n’ihu
ONYENWE ANYỊ, n’usoro dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n’iwu. 21 Ndị Livayị niile
doro onwe ha ọcha, sachakwaa uwe ha niile. Erọn chere ha n’ihu ONYENWE ANYỊ dịka
onyinye aja mfufe, chụọrọ ha aja ikpuchi mmehie, ime ka ha dị ọcha. 22 N’ikpeazụ,
ndị Livayị bịara ije ozi ha n’ụlọ nzute n’okpuru Erọn na ụmụ ya ndị ikom. Ha
nyekwara ndị Livayị ọrụ dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n’iwu.

23 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 24 “Iwu m ndị a metụtara ndị Livayị
niile. Nwoke onye Livayị ọbụla ga-ebido ịrụ ọrụ n’ụlọ nzute m mgbe ọ gbara iri afọ
abụọ na ise. 25 Ọ ga-akwụsịkwa ịrụ ọrụ n’ime ya mgbe ọ gbara iri afọ ise, mgbe oge
ezumike ọrụ ya ga-amalite. 26 Ha nwere ike inyere ụmụnne ha aka n’ịrụ ọrụ ha n’ime
ụlọ nzute, ma ha onwe ha agaghị arụ ọrụ ahụ. Otu a ka ị ga-esi dozie ọrụ ije ozi nke
ndị Livayị.”

# 9

*Mmemme Ngabiga*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu ndị a n’ọzara Saịnaị n’ọnwa mbụ n’afọ nke
abụọ site n’oge ha hapụrụ ala Ijipt. Ọ sịrị ya, 2 “Gwa ụmụ Izrel ka ha mee Mmemme
Ngabiga n’oge a kara aka. 3 Ha mee ya n’oge a kara aka, malite n’uhuruchi abalị iri
na anọ nke ọnwa a. Ha ga-eme ya n’usoro dịka iwu na ụkpụrụ e ji eme ya si dị.”

4 Ya mere, Mosis gwara ndị Izrel sị ha mee Mmemme Ngabiga. 5 Ha mekwara ya
n’ọzara Saịnaị malite n’uhuruchi abalị iri na anọ nke ọnwa mbụ.* Ndị Izrel mere
ihe niile n’usoro dịka iwu ONYENWE ANYỊ nyere Mosis si dị.

6 Ma ụfọdụ n’ime ụmụ Izrel esoghị mee Mmemme Ngabiga ahụ n’ihi na ha rụrụ
arụ site n’ịnọ ozu nso. N’ihi ya, ha bịakwutere Mosis na Erọn n’ụbọchị ahụ, 7 sị

* **8:15** 8:15 Ọpụ 29:24 * **9:5** 9:5 Bụ ụbọchị ngabiga ụmụ Izrel

Mosis, “Anyị ghọrọ ndị rụrụ arụ n’ihi ịnọ ozu mmadụ nso. Gịnị ga-egbochi anyị iso
ndị Izrel ndị ọzọ iwetara Onyenwe anyị onyinye n’oge a kara aka?”
[8] Mosis zara sị ha, “Cherenụ ka m ga jụta Onyenwe anyị ihe bụ uche ya banyere
mkpa unu.”
[9] Mgbe ahụ, Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị, [10] “Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, ‘Ọ
bụrụ na e nwee onye Izrel ọbụla nke merụrụ onwe ya n’oge Mmemme Ngabiga site
n’ịnọ ozu mmadụ nso, maọbụ site n’ịnọ n’ije, ha nwekwara ike iso mee Mmemme
Ngabiga Onyenwe anyị. [11] Kama ha ga-eme ya n’uhuruchi abalị iri na anọ nke ọnwa
abụọ. Ha ga-eri nwa atụrụ ha, achịcha na-ekoghị eko,† na ahịhịa ilu. [12] Ha agaghị
erifọ ihe ọbụla n’ime ya ruo chi ọbụbọ ụbọchị so ya. Ha agaghị agbaji ọkpụkpụ
ọbụla nke nwa atụrụ ahụ. Mgbe ha mere Mmemme Ngabiga, ha ga-esorokwa ụzọ
niile e si eme mmemme ahụ mee nke ha. [13] Ma ọbụla nọ n’ọnọdụ ịdị ọcha, onye
nke na-anọghị n’ije n’oge Mmemme Ngabiga ma kpachapụrụ anya hapụ isoro ndị
ọzọ n’oge mmemme a, a ga-ewezuga‡ ya site n’etiti ụmụ Izrel niile, n’ihi na ọ jụrụ
iwetara Onyenwe anyị onyinye n’oge a kara aka. Onye dị otu a ga-ebu ahụhụ mmehie
ya n’isi ya.
[14] “ ‘Onye ọbịa bi n’etiti unu chọrọ iso na Mmemme Ngabiga Onyenwe anyị, ọ ga-
eme ya n’usoro dịka iwu na ụkpụrụ e nyere si dị. Unu ga-enwe otu iwu ahụ nye onye
amụrụ n’ala na mbịarambịa.’ ”

*Igwe ojii kpuchiri ụlọ nzute*

[15] N’ụbọchị ahụ e guzobere ụlọ nzute ahụ bụ ụlọ ikwu nke igbe iwu ọgbụgba ndụ
ahụ, igwe ojii kpuchiri ya. Site n’uhuruchi ruo n’ụtụtụ igwe ojii ahụ dị n’elu ụlọ nzute
ahụ dịka ọkụ n’ile anya. [16] Otu a ka ọ dịgidere mgbe niile. Igwe ojii kpuchigidere
ya, ma n’abalị ọ na-acha dị ka ọkụ. [17] Mgbe ọ bụla igwe ojii ahụ si n’elu ụlọ nzute
ahụ bilie, ụmụ Izrel na-ebuli njem, ma mgbe ọbụla igwe ojii ahụ na-anọgide, ha na-
anọgidekwa.§ [18] Mgbe Onyenwe anyị nyekwara iwu, ha na-akwụsị, maa ụlọ ikwu ha.
Oge niile igwe ojii nọgidere n’elu ụlọ nzute ahụ ka ụmụ Izrel na-anọgidekwa n’ụlọ
ikwu ha. [19] Ọ bụrụ na igwe ojii ahụ anọọtee anya, ụmụ Izrel n’onwe ha na-erube isi
n’iwu Onyenwe anyị hapụ ịga n’ihu n’ije ha. [20] Oge ụfọdụ, igwe ojii ahụ na-anọgide
naanị abalị ole na ole. Dịka iwu Onyenwe anyị si dị, ha na-ama ụlọ ikwu ha, maọbụ
bulie njem ha. [21] Oge ụfọdụ, igwe ojii ahụ na-anọgide naanị site n’uhuruchi ruo
n’ụtụtụ. Mgbe o si n’elu ụlọ nzute ahụ bilie n’ụtụtụ, ụmụ Izrel na-ebuli njem ha.
Ọ bụrụ n’ehihie, maọbụ n’abalị, mgbe ọbụla igwe ojii ahụ biliri, ụmụ Izrel na-ebuli
njem ha. [22] Ọ bụrụ na igwe ojii ahụ anọdụ n’elu ụlọ nzute ahụ abalị abụọ, maọbụ
otu ọnwa, maọbụ otu afọ, ụmụ Izrel na-anọgide n’ụlọ ikwu ha. Ma ngwangwa igwe
ojii ahụ biliri, ha onwe ha na-ebulikwa njem ha. [23] Site n’iwu Onyenwe anyị na-enye,
ha na-ama ụlọ ikwu ha, sitekwa n’iwu Onyenwe anyị nyere ha, ha na-ebili njem. Ha
mere ihe niile Onyenwe anyị kwuru n’usoro dịka iwu o nyere ha site n’ọnụ Mosis si
dị.

# 10

*Opi ọlaọcha*

[1] Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị, [2] “Kpụọ opi ọlaọcha abụọ, jiri ha na-akpọ
mkpọkọta nzukọ ụmụ Izrel na ime ka ha mara mgbe mbuli ije nke ọmụma ụlọ ikwu
ruru. [3] Mgbe a fụrụ opi abụọ ahụ, nzukọ Izrel niile ga-ezukọta n’ihu gị n’ọnụ ụzọ
ụlọ nzute. [4] Ma ọ bụrụ naanị otu opi ka a fụrụ, ọ bụ ndị ndu, ndịisi ikwu Izrel niile
ga-ezukọta bịakwute gị. [5] Otu ụda opi ike ga-egosi na ebo Izrel niile mara ụlọ ikwu

† **9:11** 9:11 Achịcha nke yiist na-adịghị n’ime ya ‡ **9:13** 9:13 A ga-ewezuga Maọbụ, a ga-egbu onye dị otu
§ **9:17** 9:17 1Kọ 10:1

ha n'akụkụ ọwụwa anyanwụ ga-ebuli ije. 6 Opi ike ahụ daa ụda nke ugboro abụọ, ọ
na-egosi na ndị mara ụlọ ikwu ha na ndịda ga-ebuli ije. Ịda ụda nke opi ike bụ ihe
e ji amata na oge ibuli ije eruola. 7 Mgbe a ga-akpọkọta ndị Izrel niile a ga-egbu opi,
kama ụda ya ga-adị iche.
8 "Ọ bụ naanị ụmụ ndị ikom Erọn, ndị nchụaja ga-egbu opi ndị a. Nke a bụ iwu
ga-adịgide nye unu site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ niile. 9 Mgbe unu gara ibu agha n'ala unu
imegide onye iro na-akpagbu unu, fụọnụ opi ike. Nke a ga-eme ka ONYENWE ANYỊ
Chineke unu cheta unu, ma napụta unu site n'aka ndị iro unu. 10 Unu ga-egbukwa opi
ndị a n'oge aṅụrị, n'oge mmemme unu a kara aka, na n'oge mmemme ọnwa ọhụrụ
niile. Gbukwaanụ opi mgbe unu na-achụ aja nsure ọkụ unu, na aja udo unu niile. Ka
ọ bụrụ ihe a ga-eji na-echeta unu n'ihu Chineke unu. Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ
Chineke unu."

### *Ndị Izrel ahapụ Saịnaị*

11 N'ụbọchị iri abụọ, n'ime ọnwa nke abụọ, n'afọ nke abụọ, igwe ojii ahụ biliri
site n'elu ụlọ nzute nke igbe iwu ọgbụgba ndụ ahụ. 12 Mgbe ahụ, ụmụ Izrel biliri ije
site n'ọzara Saịnaị jegharịa site n'otu ebe ruo n'ebe ọzọ tutu igwe ojii ahụ akwụsị
n'ọzara Paran. 13 Nke a bụ njem mbụ ha mere dịka ONYENWE ANYỊ si nye Mosis iwu
banyere ije ha.
14 Usuu ọmụma ụlọ ikwu nke ebo Juda buru ụzọ bulie ije a, n'okpuru ọkọlọtọ ha.
Nashọn, nwa Aminadab, bụ onyendu ha. 15 Netanel nwa Zua bụ onyendu usuu ebo
Isaka. 16 Eliab nwa Helọn bụ onyendu usuu ebo Zebụlọn 17 Mgbe ahụ, e wedara ụlọ
nzute ahụ. Ụmụ Geshọn na Merari buru ya, bilikwaa ije ha.
18 Usuu ọmụma ụlọ ikwu ebo Ruben biliri ije, n'okpuru ọkọlọtọ ha. Elizọ nwa
Shedeua bụ onyendu ha. 19 Shelumiel nwa Zurishadai bụ onyendu usuu ebo Simiọn.
20 Eliasaf nwa Deuel bụ onyendu usuu ebo Gad. 21 Mgbe ahụ, ụmụ Kohat ndị bu
ihe nsọ ndị ahụ niile, biliri ije ha. Tutu ha erute, e guzobere ụlọ nzute ahụ n'ebe o
kwesiri ịdị.
22 Usuu ọmụma ụlọ ikwu ebo Ifrem biliri ije n'okpuru ọkọlọtọ ha. Elishama nwa
Amihud bụ onyendu ha. 23 Gamaliel nwa Pedazo bụ onyendu usuu ebo Manase.
24 Abidan nwa Gidiọni bụ onyendu usuu ebo Benjamin.
25 Na ngwụsị usoro ahụ, usuu ọmụma ụlọ ikwu ebo Dan biliri ije n'okpuru ọkọlọtọ
ha. Onyendu ha bụ Ahieza nwa Amishadai. 26 Pagịel nwa Okran bụ onyendu usuu
ebo Asha. 27 Ahira nwa Enan bụ onyendu usuu ebo Naftalị. 28 Nke a bụ usoro usuu
ụmụ Izrel si bilie ije ha.
29 Mosis gwara Hobab nwa Reuel,* nna nwunye ya onye Midia okwu sị, "Anyị
ebiliela ije ịga ebe ahụ ONYENWE ANYỊ gwara anyị sị, 'Aga m enye unu.' Bịa ka ị soro
anyị. Anyị ga-emezi gị nke ọma n'ihi na ONYENWE ANYỊ ekwela Izrel nkwa ọtụtụ ezi
ihe."
30 Ma ọ zara sị, "E e, agaghị m eso unu. Ana m alaghachi n'ala nke aka m
ịlaghachikwuru ụmụnna m."
31 Ma Mosis zara sị ya, "Biko ahapụla anyị n'ihi na ị maara ebe anyị nwere ike
kwụsị zuo ike n'ọzara. Ị ga-abụrụ anyị anya anyị ji ahụ ụzọ. 32 Ọ bụrụ na i soro
anyị, anyị ga-ekenye gị ihe ọma ọbụla ONYENWE ANYỊ ga-enye anyị."
33 Ya mere ha sitere n'ugwu ONYENWE ANYỊ bilie ije. Jeekwa ije abalị atọ. Igbe
ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ na-aga ha n'ihu ụbọchị atọ ndị ahụ niile ịchọtara ha
ebe ha ga-akwụsị zuo ike. 34 Igwe ojii ONYENWE ANYỊ dị n'elu ha n'ehihie mgbe ha si
n'ọmụma ụlọ ikwu ha bilie ije.
35 Mgbe ọbụla igbe ọgbụgba ndụ ahụ biliri ije, Mosis na-ekwu sị,
"Bilie O ONYENWE ANYỊ,

---

* **10:29** 10:29 Ọpụ 2:18

ka ndị iro ya bụrụ ndị a chụsasịrị;
ka ndị iro gị niile site n’ihu gị gbalaga.”
36 Ma mgbe ọbụla igbe ọgbụgba ndụ bịara ebe izuike, Mosis na-ekwukwa sị,
“Lọghachi O ONYENWE ANYỊ,
bịakwute ọtụtụ mmadụ ndị a, bụ imerime puku ndị Izrel.”

# 11

### *Ọkụ si n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ*

1 Mgbe na-adịghị anya ụmụ Izrel bidoro itamu ntamu n’ihi ihe ike niile ha na-ezute
n’ije ha. Ma ntamu a ruru ONYENWE ANYỊ ntị. N’ihi ya, ONYENWE ANYỊ were iwe dị
ukwuu megide ha. Ọkụ sitere n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ, ree n’etiti ha, repịa ụfọdụ ndị
bi n’akụkụ ngwụsị ọmụma ụlọ ikwu ahụ. 2 Mgbe nke a mere, ụmụ Izrel tikuru Mosis
mkpu akwa. Mosis kpere ekpere nye ONYENWE ANYỊ n’ihi ha, ọkụ ahụ kwụsịkwara.
3 N’ihi ya, a kpọrọ ebe ahụ Tabera, n’ihi ọkụ ahụ si n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ ree n’etiti
ha.

### *ONYENWE ANYỊ ezite nnụnụ kweel*

4 Ndị amakekwu so ụmụ Izrel n’ije a malitere itamu ntamu banyere nri ndị ọzọ
na-agụ ha agụụ. Nke a mere ka ụmụ Izrel malite ịkwa akwa, na-asị, “A sịkwarị na
anyị nwere anụ anyị ga-ata. 5 Anyị chetara azụ anyị tara n’Ijipt, nke na-adịghị efu
anyị ego, ya na kukumba, na melọn,* na liik, na ayo† na galiik. 6 Ma ugbu a, anyị
enweghịkwa agụụ iri nri, n’ihi na site n’ụbọchị ruo n’ụbọchị, ọ bụ naanị mánà bụ
ihe oriri anyị nwere.”
7 Mánà dịka mkpụrụ kọrianda, na-acha ka eso osisi kpọrọ nkụ. 8 Ndị Izrel na-
ejegharị na-achịkọta ha. Emesịa, ha na-eji nkume e ji akwọ nri na-akwọri ha. Oge
ụfọdụ, ha na-eji ikwe nri sụọ ya. Emesịa, ha na-esi ya esi, maọbụ ghee ya eghe. Ọ
na-atọ dịka ihe e ji mmanụ oliv ghee. 9 Mánà ndị a na-ada mgbe igirigi dara n’ọmụma
ụlọ ikwu n’abalị.
10 Mosis nụrụ mkpu akwa ụmụ Izrel niile, nke na-ada n’ezinaụlọ ọbụla n’akụkụ
ọnụ ụzọ ụlọ ikwu ha. Iwe were ONYENWE ANYỊ nke ukwuu. Otu a kwa, obi jọrọ Mosis
njọ nke ukwuu. 11 Mosis jụrụ ONYENWE ANYỊ sị, “Gịnị mere i ji bokwasị ohu gị nsogbu
dị otu a n’isi? Gịnị ka m mere na m ahụtakwaghị amara n’ebe ị nọ, nke mere i ji
bukwasị m ibu arọ nke ilekọta ndị a? 12 Ọ bụ m tụrụ ime ndị a niile? Ọ bụ m mụrụ
ha? Gịnị mere i ji si m kuru ha n’aka m gawa n’ala ahụ ị ṅụrụ n’iyi inye nna nna ha,‡
dịka m bụ nne nwa na-ekugharị nwantakịrị? 13 Ebee ka m ga-achọta anụ ga-ezuru
igwe mmadụ ndị a? Lee na ha na-akwasa m akwa na-asị m, ‘Nye anyị anụ!’ 14 Agaghị
m ebulite ibu ịchịkọta ndị a niile n’onwe m! Ibu a dị m arọ nke ukwuu. 15 Ọ bụrụ na
ị ga-esi otu a meso m mmeso, biko napụ m ndụ m ugbu a, n’ihi na ọnwụ m ga-egosi
na m natara amara n’ebe ị nọ. Site n’ọnọdụ a ga-ewetara m mbibi wezuga m.”
16 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, “Kpọkọta iri ndị okenye ụmụ
Izrel asaa, ndị ị maara na ha bụ ndị ndu, na ndị nlekọta ije ozi n’etiti ụmụ Izrel.
Kpọta ha n’ụlọ nzute m ka ha soro gị guzoro. 17 Aga m abịa n’ebe ahụ gwa gị okwu.
Mgbe ahụ kwa, aga m ewere ụfọdụ n’ime Mmụọ m dị n’ime gị tinye n’ime iri ndị
ndu asaa ahụ. Ha ga-enyere gị aka ibu ibu arọ nke ịchịkọta ụmụ Izrel. N’ụzọ dị otu
a, ọ gaghị abụkwa ibu dịrị naanị gị ibu.
18 “Ugbu a, gwa ndị Izrel niile si ha, ‘Doonụ onwe unu nsọ, kwadoonụ maka echi,
mgbe unu ga-ata anụ. ONYENWE ANYỊ nụrụ mgbe unu kwara akwa sị, “A sịkwa na
anyị nwere anụ anyị ga-ata. Ihe dịrị anyị mma n’Ijipt karịa otu ọ dị ugbu a.” 19 Anụ
unu ga-eri abụghị naanị nke otu ụbọchị, maọbụ ụbọchị abụọ, maọbụ ụbọchị ise,

* **11:5** 11:5 Nke a bụ wọta melọn. † **11:5** 11:5 Maọbụ, yabasị ‡ **11:12** 11:12 Jen 13:5

maọbụ iri, ma ọ bụkwanụ iri ụbọchị abụọ! [20] Kama unu ga-eri ya otu ọnwa zuru
ezu, ruo mgbe ọ ga-esi unu n'imi sọpụta, ghọrọ unu ihe ịsọ oyi. N'ihi na unu ajụla
ONYENWE ANYỊ, onye nọ n'etiti unu, kwaa akwa n'ihu ya, sị, "Gịnị mere anyị ji site
n'ala Ijipt pụta?" ' "
[21] Ma Mosis sịrị ONYENWE ANYỊ, "Ọnụọgụgụ ndị ikom dị narị puku isii§ ndị ji ụkwụ
eje ka m nọ n'etiti ha, ma ị na-asị, 'Aga m enye ha anụ otu ọnwa.' [22] Ọ ga-ezuru ha
ma ọ bụrụ na e gbuoro ha igwe ehi na atụrụ? Ọ bụ azụ niile nke dị n'oke osimiri
ga-ezuru ha ma egbuo ha niile nye ha?"
[23] ONYENWE ANYỊ sịrị Mosis, "Aka ONYENWE ANYỊ ọ dị mkpụmkpụ? Ugbu a, ị ga-ahụ
ma m ga-emezu okwu m, maọbụ na m agaghị emezu ya."
[24] Ya mere, Mosis pụrụ ga gwa ụmụ Izrel ihe ONYENWE ANYỊ kwuru. Ọ chịkọtara iri
ndị okenye asaa ahụ nye ha ọnọdụ gburugburu ụlọ nzute ahụ. [25] Mgbe ahụ, ONYENWE
ANYỊ rịdatara n'ime igwe ojii. Ya na Mosis kparịtaa ụka. ONYENWE ANYỊ weere ụfọdụ
n'ime Mmụọ dị n'ime Mosis, tinye ya n'ime iri ndị okenye asaa ndị ahụ. Mgbe Mmụọ
a batara n'ime ha, ha niile buru amụma. Ma ha ebughị amụma gaa n'ihu.
[26] Ma mmadụ abụọ n'ime iri ndị okenye asaa ndị ahụ, Eldad na Medad nọgidere
n'ọmụma ụlọ ikwu ha. Ọ bụ ezie na e depụtara aha ha dịka ndị ndu, ma ha esoghị
ndị ọzọ gaa n'ụlọ nzute. Ma Mmụọ ahụ bịakwasịrị ha n'ebe ahụ ha nọ. Ha bukwara
amụma. [27] Otu okorobịa gbapụrụ ọsọ gaa kọọrọ Mosis sị ya, "Eldad na Medad na-ebu
amụma n'ọmụma ụlọ ikwu ha."
[28] Joshua nwa Nun, onyeozi Mosis site na mgbe ọ bụ okorobịa, gwara Mosis okwu
sị ya, "Onyenwe m Mosis, mee ka ndị a kwụsị ibu amụma."
[29] Ma Mosis zara sị, "Ọ bụ n'ihi ikwochitara m ekworo ka i ji chọọ ka m kwụsị ha?
Ọ gaara atọ m ụtọ ma a sị na ndị ONYENWE ANYỊ niile bụ ndị amụma, ndị ONYENWE
ANYỊ ga-etinye Mmụọ ya n'ime ha!" [30] Mgbe ahụ Mosis na ndị okenye Izrel ndị ahụ
niile lọghachiri n'ebe ụlọ ikwu ha dị.
[31] Otu oke ifufe sitere n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ bịa si n'osimiri bute ọtụtụ nnụnụ
a na-akpọ kweel. O mere ka nnụnụ ndị a daa n'ebe ụmụ Izrel mara ụlọ ikwu ha,
n'ime ogige ya niile. Nnụnụ ndị a fere ihe dịka otu mita site n'elu ala, n'akụkụ
niile, ruo n'ebe mmadụ pụrụ iji ụkwụ jeruo n'otu ụbọchị. Ha jupụtakwara ebe niile.
[32] Ya mere ndị Izrel biliri ụbọchị ahụ niile, na n'abalị ahụ niile, na echi ya niile pụọ
ịchịkọta nnụnụ kweel ndị a! Onye gbutere nke nta gbutezuru ihe ọtụtụ homa iri. Ha
gbasara ha akụkụ niile nke ogige ọmụma ụlọ ikwu ahụ. [33] Ma mgbe anụ ndị a ka dị
ha n'ọnụ, ONYENWE ANYỊ were iwe dị ukwuu megide ha. O tiri ha nrịa nrịa na-efe
efe. [34] N'ihi nke a, a kpọrọ aha ebe ahụ Kibrọt Hataava, n'ihi na n'ebe ahụ ka e liri
ndị Izrel nwụrụ n'ihi oke ọchịchọ nri.
[35] Site na Kibrọt Hataava, ndị Izrel biliri njem rute Hazerọt ebe ha nọrọ.

# 12

*Miriam na Erọn eguzo megide Mosis*

[1] Miriam na Erọn malitere ikwu okwu megide Mosis, n'ihi na ọ lụrụ nwunye onye
Kush. [2] Ha kwuru sị, "Ọ bụ naanị site n'ọnụ Mosis ka ONYENWE ANYỊ si agwa ndị ya
okwu? Ọ naghị esitekwa n'ọnụ anyị kwuo okwu?" ONYENWE ANYỊ nụrụ ihe ndị a ha
kwuru.
[3] (Ma nwoke ahụ bụ Mosis dị umeala n'obi nke ukwuu karịa onye ọbụla nọ n'elu
ala.)
[4] Na mberede, ONYENWE ANYỊ sịrị Mosis, na Erọn, na Miriam, "Pụtanụ, bịa n'ụlọ
nzute, unu mmadụ atọ" Ya mere ha atọ pụtara. [5] Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ rịdatara

§ **11:21** 11:21 Ya bụ, 600,000

n’ime igwe ojii, guzoro na mbata ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ, kpọpụta Erọn na Miriam.
Mgbe ha abụọ bịara nso. 6 ONYENWE ANYỊ gwara ha sị, “Geenụ ntị n’okwu m ndị a:
“Mgbe onye amụma nọ n’etiti unu,
Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ na-egosi ya onwe m site n’ọhụ.
Ana m agwa ya okwu site na nrọ.
7 Ma n’ebe ohu m Mosis nọ, o sighị otu a dịrị,
ọ bụ onye kwesiri ntụkwasị obi n’ụlọ m niile.
8 N’ebe ọ nọ, ana m agwa ya okwu ihu na ihu
n’ụzọ doro anya, ọ bụghị site n’ilu,
ọ na-ahụkwa ụdịdị ONYENWE ANYỊ.
Gịnị mere ụjọ atụghị unu
ikwu okwu megide ohu m Mosis?”
9 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ were iwe dị ọkụ megide ha. O si n’ebe ha nọ pụọ.
10 Ma mgbe igwe ojii ahụ hapụrụ ụlọ nzute ahụ, lee Miriam ebe o guzo, ekpenta
tiwapụtara ya n’ahụ dịka nzu ọcha. Mgbe Erọn tụgharịrị ebe ọ nọ hụ na ọ ghọọla
onye ekpenta, 11 ọ gwara Mosis okwu sị, “Biko, onyenwe m, atala anyị ahụhụ n’ihi
mmehie anyị sitere na nzuzu mee. 12 Ekwela ka Miriam dịrị ka nwa ọhụrụ nwụrụ
anwụ nke akpụkpọ ahụ ya rere ure n’oge o si n’akpanwa nne ya na-apụta.”
13 Ya mere Mosis tikuru ONYENWE ANYỊ mkpu akwa sị ya, “Chineke, biko, gwọọ ya!”
14 Ma ONYENWE ANYỊ zara Mosis sị ya, “Ọ bụrụ na nna ya gbụrụ ya asụ n’ihu,
ọ gaghị abụ onye rụrụ arụ abalị asaa? Ya mere, hapụ ya ka ọ bụrụ onye e sitere
n’ogige ọmụma ụlọ ikwu Izrel wezuga abalị asaa. Mgbe oge a gafesịrị, o nwere ike
ịlọghachi.” 15 Ya mere e wezugara Miriam site n’ogige ọmụma ụlọ ikwu Izrel abalị
asaa. Ndị Izrel niile nọdụrụ chere ya ruo mgbe ọ lọghachiri, tutu ha ebilie n’ije ọzọ.
16 Mgbe ihe ndị a gasịrị, ha hapụrụ Hazerọt rute n’ọzara Paran ebe ha wuru ogige
ụlọ ikwu ha.

# 13

*Nledo ala Kenan*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 2 “Ziga ụfọdụ ndị ikom ka ha gaa legharịa
anya n’ala Kenan, ala ahụ m na-enye Izrel. Ziga mmadụ iri na abụọ, otu onyendu
site n’ebo Izrel ọbụla.”
3 Ya mere, dịka iwu ONYENWE ANYỊ nyere ya si dị, Mosis zipụrụ ha site n’ọzara
Paran. Ha niile bụ ndị ndu n’etiti ụmụ Izrel.

4 Nke a bụ aha ha:

Site n’ebo Ruben, Shamua nwa Zakua,
5 Shafat nwa Hori, onye si n’ebo Simiọn.
6 Kaleb nwa Jefune, onye si n’ebo Juda.
7 Igal nwa Josef, onye si n’ebo Isaka.
8 Hoshea nwa Nun, onye si n’ebo Ifrem
9 Palti nwa Rafu, onye si n’ebo Benjamin.
10 Gadiel nwa Sodi, onye si n’ebo Zebụlọn.
11 Gadi nwa Susi, onye sitere n’ebo Manase (ya bụ ebo Josef).
12 Amiel nwa Gemali, onye si n’ebo Dan.
13 Setua nwa Maikel, onye si n’ebo Asha.
14 Nabi nwa Vofusi, onye si n’ebo Naftalị.
15 Geuel nwa Maki, onye si n’ebo Gad.

16 Ndị a bụ aha ndị ikom ndị ahụ Mosis zipụrụ inyocha ala ahụ. (Ọ bụ n’oge
a ka Mosis gbanwere aha Hoshea nwa Nun, ka ọ bụrụ Joshua.)

17 Mosis zipụrụ ha ịga ledoo ala Kenan, ọ sịrị, “Gbagoonụ site n’ụzọ Negev gakwanụ
n’ala ugwu ugwu. 18 Letanụ otu ala ahụ dị. Chọpụtanụ ụdị ndị bi n’ime ya, ma ha dị
ike ma ha bụ ndị na-adịghị ike, ma ha dị ọtụtụ ma ha dị ole na ole. 19 Letanụ ụdị ala
ha bi n’ime ya, ma ọ dị mma ma ọ jọrọ njọ. Chọpụtanụ ụdị obodo dị n’ebe ahụ, ma
ha bụ obodo mgbidi na-adịghị gburugburu ha, ma ha bụ obodo e wusiri ike. 20 Letanụ
otu ala ahụ dị. Ọ na-epupụta ihe ka ọ bụ ala ụkpa? Letanụ ma ha nwere ọtụtụ osisi
ka ọ bụ na osisi adịghị n’ime ya. Gbalịanụ ka unu weta ụfọdụ n’ime mkpụrụ osisi dị
n’ala ahụ.” (Ọ bụ oge mkpụrụ mbụ nke osisi vaịnị.)
21 Ya mere ndị a gara ledoo ala ahụ anya site n’ọzara Zin ruo na Rehob, nke dị nso na
Lebo Hamat. 22 Ha gara site na Negev rute Hebrọn, ebe Ahiman na Sheshai na Talmai,
ụmụ ụmụ Anak bi. (Ma ewuru Hebrọn afọ asaa tupu e wuo obodo Zoan dị n’Ijipt.)
23 Mgbe ha rutere Ndagwurugwu Eshkọl,* ha gbutere otu alaka osisi vaịnị nke nwere
ụyọkọ mkpụrụ vaịnị. Mmadụ abụọ butere ya n’osisi tinyere ụfọdụ mkpụrụ osisi
pomegranet na fiig. 24 A kpọrọ ebe ahụ Ndagwurugwu Eshkọl, n’ihi ụyọkọ mkpụrụ
osisi vaịnị ndị Izrel gbutere n’ebe ahụ. 25 Mgbe iri abalị anọ gasịrị, ndị nledo a sitere
n’ije ha lọghachi.

*Akụkọ ndị nledo ala ahụ*

26 Ha lọtara bịakwute Mosis na Erọn na nzukọ niile nke ụmụ Izrel, na Kadesh nke
dị n’ọzara Paran. Ndị nledo ahụ kọrọ akụkọ otu ha si gaa n’ọgbakọ ụmụ Izrel niile.
Gosikwa mkpụrụ osisi si n’ala ahụ. 27 Nke a bụ akụkọ ha kọọrọ Mosis, “Anyị ruru
n’ala ahụ ị sị anyị gaa leta. Ọ bụkwa ala mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na
ya. Ndị a bụ mkpụrụ osisi si n’ala ahụ. 28 Ma ndị bi n’obodo ahụ siri ike. Obodo ha
buru ibu bụrụkwa nke e wusiri ike. Anyị hụkwara ụmụ ụmụ Anak n’ebe ahụ. 29 Ndị
Amalek bi na Negev, ndị Het na ndị Jebus na ndị Amọrait bi n’ala ugwu ugwu. Ma
n’akụkụ osimiri Mediterenịan na ndagwurugwu mmiri Jọdan ka ndị Kenan bi.”
30 Ma Kaleb kwuru okwu mere ka obi sie ndị Izrel ike n’oge a ha guzoro n’ihu Mosis
sị ha, “Ka anyị gaanụ otu ihu nweta ala ahụ. N’ihi na anyị nwere ike imeri ha.”
31 Ma ndị nledo ahụ soro ya gaa zara sị, “Anyị enweghị ike ibu agha megide ndị
a; ha dị ike karịa anyị.” 32 Ndị a gbasara akụkọ ọjọọ n’etiti ụmụ Izrel banyere ala
ahụ ha gara ledoo. Ha sịrị, “Ala ahụ anyị gara ledoo anya bụ ala na-eripịa ndị bi
n’ime ya. Ndị niile anyị hụrụ n’ebe ahụ gbara nnọọ dimkpa 33 Anyị hụrụ ndị Nefilim
n’ebe ahụ (ndị bụ ụmụ ụmụ Anak, ndị sitere na ndị Nefilim). N’anya anyị, anyị dịka
ụkpana n’ebe ha nọ, otu a ka anyị dịkwa n’anya ha.”

# 14

*Nnupu isi nke ụmụ Izrel*

1 N’abalị ahụ, ọgbakọ Izrel niile weliri olu ha bido iti mkpu akwa. Ha kwagidere
akwa a abalị niile. 2 Ndị Izrel niile tamuru ntamu megide Mosis na Erọn. Ọgbakọ
ahụ niile sị ha, “Ọ gaara aka mma ma a sị na anyị nwụrụ n’ala Ijipt maọbụ n’ọzara
a. 3 Gịnị mere ONYENWE ANYỊ ji akpọbata anyị n’ala a ime ka anyị daa n’ihu mma
agha. Ndị nwunye anyị na ụmụ anyị ga-aghọ ndị a dọtara n’agha. Ọ garaghị akara
anyị mma ịlaghachi azụ n’Ijipt?” 4 Ya mere ha kwekọrịtara n’etiti onwe ha sị, “Ka
anyị họpụtaranụ onwe anyị onyendu ga-edughachi anyị azụ n’Ijipt.”
5 Mgbe ahụ, Mosis na Erọn dara kpuo ihu n’ala n’ihu ọgbakọ ndị Izrel niile zukọtara
n’ebe ahụ. 6 Mmadụ abụọ n’ime ndị nledo ahụ, Joshua nwa Nun na Kaleb nwa Jefune,

* **13:23** 13:23 Eshkọl pụtara Ụyọkọ nke a dịkwa n’amaokwu nke 13:24

dọwara uwe* ha. 7 Ha gwara nzukọ Izrel sị, "Ala ahụ anyị gara ledoo anya bụ ala
mara mma. 8 Ọ bụrụ na ihe banyere anyị na-atọ ONYENWE ANYỊ ụtọ, ọ ga-edu anyị
bata n'ala ahụ, ala mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya. 9 Unu enupukwala
isi megide ONYENWE ANYỊ. Unu atụkwala egwu ndị bi n'ime ala ahụ, n'ihi na anyị
ga-emeri ha. ONYENWE ANYỊ nọnyeere anyị. O wepụkwala aka nchebe ya n'ahụ ha.
Unu atụla egwu ha."

10 Ma naanị nzaghachi ọgbakọ ndị Izrel nyere n'ihi okwu nkasiobi ndị a bụ iche
uche otu ha ga-esi jiri nkume tugbuo Joshua na Kaleb. N'oge a, ebube ONYENWE ANYỊ
pụtara ihe n'ụlọ nzute ahụ nye ndị Izrel niile. 11 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu
sị, "Ruo ole mgbe ka ndị a ga-anọgide na-eleda m anya? Ruo ole mgbe ka ha ga-anọ
ju ikwenye na m, n'agbanyeghị ọtụtụ ihe ịrịbama nke m mere n'etiti ha. 12 Aga m eji
nrịa nrịa nke na-efe efe tigbuo ha. Napụ ha ihe ha nwere. Ma aga m emekwa gị ka ị
ghọọ mba dị ukwuu, nke ga-adị ukwuu, dịkwa ike karịa ha."

13 Ma Mosis rịọrọ ONYENWE ANYỊ sị ya, "Gịnị ka ndị Ijipt ga-eche banyere nke a,
mgbe ha ga-anụ ya? Ha maara nke ọma otu ị sịrị jiri ike gị napụta ndị a site n'etiti
ha. 14 Ha agwakwala ndị bi n'obodo ndị a ihe banyere ya. Ndị obodo ndị a anụla ihe
banyere gị ONYENWE ANYỊ, matakwa na ị nọnyeere Izrel, na gị bụ ONYENWE ANYỊ na
ndị Izrel na-ekwurịta okwu ihu na ihu. Ha anụkwala na ogidi igwe ojii gị ONYENWE
ANYỊ na-eguzo n'elu, n'isi anyị. Ha matakwara na ị na-edu anyị n'ime ogidi igwe ojii
n'ehihie, na n'ime ogidi na-enwu ọkụ n'abalị. 15 Ma ugbu a, ọ bụrụ na i gbusie ndị gị
a dum, mba niile nụrụla akụkọ ndị a banyere gị ga-asị, 16 'ONYENWE ANYỊ enweghị ike
ịkpọbata ndị a n'ala ahụ o kwere nkwa inye ha. Ọ bụ ya mere o ji gbuo ha n'ọzara.'

17 "Ugbu a ka Onyenwe anyị gosi ike ya dị ukwuu, dịka i si kwuo. 18 ONYENWE ANYỊ
bụ onye na-adịghị ewe iwe ọsịịsọ, onye jupụtara n'ịhụnanya, onye na-agbaghara
mmehie na nnupu isi. Ma ọ dịghị ahapụ onye ikpe mara ka ọ laa na-anataghị ahụhụ,
ọ na-ata ụmụ ahụhụ n'ihi mmehie nna nna ha ruo n'ọgbọ nke atọ na nke anọ. 19 Dịka
ịdị ukwuu nke ịhụnanya gị si dị; gbaghara mmehie nke ndị a mere, dịka i si agbaghara
ha kemgbe ha hapụrụ Ijipt ruo ugbu a."

20 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ zaghachiri Mosis sị ya, "Agbagharala m ha dịka ị rịọrọ.
21 Ma dịka m na-adị ndụ na dịka ọ bụ eziokwu na ụwa niile ga-ejupụta n'ebube
ONYENWE ANYỊ. 22 Ọ dịghị otu onye n'etiti ndị ikom niile hụrụla ebube m, na ọrụ
ịrịbama niile m rụrụ n'ime Ijipt, na n'ime ọzara a, ma bụrụ onye nupuru isi nye m
na onye nwaara m ugboro iri ndị a, 23 o nweghị onye ọbụla n'ime ha ga-ahụ ala ahụ
m sitere n'ịṅụ iyi kwee nkwa inye nna nna ha. O nweghị onye ọbụla n'ime ndị a
leliri m ga-ahụ ala ahụ anya. 24 Ma ohu m nwoke Kaleb bụ nwoke nwere mmụọ dị
iche. O rubeere m isi n'ihe niile. Aga m akpọbata ya n'ala ahụ ọ banyere dịka onye
nledo. Ụmụ ụmụ ya niile ga-eketa ya. 25 Ma ugbu a, ebe ndị Izrel na-atụ ndị Amalek
na ndị Kenan bi n'ime ndagwurugwu ahụ egwu, echi, unu ga-atụgharịa laghachi azụ
n'ọzara ahụ; chee ụzọ gaje Osimiri Uhie ahụ ihu."

26 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn okwu sị, 27 "Ruo ole mgbe ka ọgbakọ ọjọọ a
ga-anọgide na-atamu ntamu megide m? N'ihi na anụla m ntamu niile nke ndị Izrel
a. 28 Gwa ha si, 'Dị ka m na-adị ndụ, ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, aga m emeso unu
mmeso dịka unu kwunyere ya na ntị m. 29 Unu niile ga-anwụpịa n'ime ọzara a! Onye
ọbụla n'ime unu niile gbarala iri afọ abụọ maọbụ karịa, nke tamuru ntamu megide
m. 30 O nweghị onye ọbụla n'ime unu ga-abanye n'ala ahụ, m sitere n'aka m welie
elu ṅụọ iyi ime ka ọ bụrụ ebe obibi unu, karịa Kaleb nwa Jefune na Joshua nwa
Nun. 31 Ma ebe unu tụrụ egwu sị na ụmụ unu na-aga ibu ndị ohu nye ndị bi n'ala
ahụ. Lee na aga m edubata ha n'ime ala ahụ. Ha ga-eketakwa ala ahụ unu jụrụ,

* **14:6** 14:6 Mgbe mmadụ dọwara uwe ya, nke a na-egosipụta ọnọdụ iru ụjụ na iwe.

nke unu ledara anya. 32 Ma unu onwe unu, ozu unu ga-ada aghara aghara n’ọzara a.
33 Ụmụ unu ga-abụkwa ndị ọzụzụ atụrụ n’ime ọzara a iri afọ anọ, na-ata ahụhụ n’ihi
ekwesighị ntụkwasị obi, ruo mgbe ozu onye ikpeazụ n’ime unu ga-atọgbọrọ n’ime
ọzara. 34 Iri afọ anọ ka unu ga-ata ahụhụ n’ihi mmehie unu, matakwa ihe ọ pụtara
bụ mụ iguzo megide unu, ya bụ otu afọ ga-anọchi otu ụbọchị n’ime iri ụbọchị anọ
ahụ unu ji ledoo ala ahụ anya. 35 Mụ onwe m, bụ ONYENWE ANYỊ, ekwuola ya. Nke
a ka m na-aghaghị ime ka ọ dakwasị ajọ nzukọ ndị a, bụ ndị gbakọrọ megide m. Ha
ga-ezute ọgwụgwụ ha n’ọzara, n’ebe a ka ha ga-anwụ.’ ”

36 Ya mere ndị ahụ Mosis zipụrụ iledo ala ahụ, ndị ahụ lọtara mee ka ọgbakọ ụmụ
Izrel tamuo ntamu n’ihi akụkọ ọjọọ ha gbasara. 37 Ndị ikom ndị ahụ e si n’ọnụ ha
gbasaa akụkọ ọjọọ banyere ala ahụ, ka e ji nrịa nrịa na-efe efe tigbuo n’ihu ONYENWE
ANYỊ. 38 N’ime ndị ikom gara ledoo ala ahụ anya, ọ bụ naanị Joshua nwa Nun na
Kaleb nwa Jefune fọdụrụ ndụ.

39 Mgbe Mosis gwara ụmụ Izrel okwu niile si n’ọnụ ONYENWE ANYỊ, ha ruru ụjụ dị
ilu. 40 N’isi ụtụtụ echi ya, ha biliri n’oge bulie ije ịga n’ala ugwu ugwu ahụ. Ha sịrị,
“Anyị emehiela. Ugbu a anyị ejikerela ije n’ala ahụ ONYENWE ANYỊ kwere anyị nkwa.”

41 Ma Mosis zara sị ha, “Gịnị mere unu ji enupu isi n’iwu ONYENWE ANYỊ nyere?
Nke a agaghị aga nke ọma. 42 Unu arịgokwala, n’ihi na ONYENWE ANYỊ anọghị n’etiti
unu. Ndị iro unu ga-emerikwa unu. 43 N’ihi na ndị Amalek na ndị Kenan nọ na-eche
unu n’ebe ahụ! Ebe ọ bụ na unu esitela n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ wezuga onwe unu,
ọ gaghị anọnyere unu, unu ga-adakwa n’ihu mma agha.”

44 N’agbanyeghịkwa nke a, na ha enweghị nkwado. Ha rigooro ruo ebe kachasị elu
n’obodo ahụ dị n’ugwu, ọ bụ ezie na Mosis maọbụ igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ
esighị n’ọmụma ụlọ ikwu ahụ pụọ. 45 Mgbe ahụ, ndị Amalek na ndị Kenan bụ ndị bi
n’obodo ugwu ahụ, rịdatara lụso ha ọgụ. Tidaa ha n’ala ruo Homa.

# 15

*Ọchụchụ aja ndị ọzọ dị iche iche*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 2 “Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, ‘mgbe unu
batara ala ahụ m na-enye unu dịka ụlọ unu, 3 ọ bụrụ na unu echee n’ihu ONYENWE
ANYỊ aja nsure ọkụ nke isisi ya dị ụtọ nye ONYENWE ANYỊ, maọbụ nke si n’igwe ehi,
maọbụ nke si n’igwe ewu na atụrụ, maọbụ aja nsure ọkụ, maọbụ aja ndị ọzọ, maka
imezu nkwa pụrụ iche maọbụ onyinye afọ ofufu, maọbụ aja mmemme. 4 Onye wetara
onyinye a aghaghị iweta n’ihu ONYENWE ANYỊ aja mkpụrụ ọka nke bụ ezi ụtụ ọka ruru
lita abụọ nke e ji mmanụ ruru otu lita gwakọtaa. 5 Ọ ga-eweta otu lita mmanya dịka
onyinye ihe ọṅụṅụ maka nwa atụrụ ọbụla e ji chụọ aja nsure ọkụ maọbụ aja ụzọ.

6 “ ‘Ọ bụrụ nwa ebule ka e ji achụ aja ahụ, weta lita ezi ụtụ ọka anọ na ọkara, nke
a gwakọtara ya na mmanụ jitụ ntakịrị karịa otu lita, 7 tinyekwa ya mmanya jitụ ihe
nta karịa otu lita ka ọ bụrụ onyinye ihe ọṅụṅụ nye ha, dịka aja nke isisi ya dị ụtọ
nye ONYENWE ANYỊ.

8 “ ‘Mgbe i ji nwa oke ehi chụọ aja nsure ọkụ, maọbụ aja imezu nkwa, maọbụ aja
udo nye ONYENWE ANYỊ, 9 tinyere oke ehi ahụ, ị ghaghị iji ezi ụtụ ọka ruru lita isii na
ọkara, nke a gwakọtara ya na mmanụ ruru lita abụọ. 10 Wetakwa lita mmanya abụọ
nke ga-abụ onyinye ihe ọṅụṅụ. Ọ ga-abụ onyinye e sitere n’ọkụ nye, nke isisi ya dị
ụtọ nye ONYENWE ANYỊ. 11 Nke a bụ usoro a ga-agbaso n’oge ọbụla e ji nwa oke ehi,
maọbụ nwa ebule, maọbụ nwa atụrụ, maọbụ nwa ewu chụọ aja. 12 Meenụ ya maka
anụ ụlọ ọbụla n’oge niile ọbụla unu na-achụ aja.

13 " 'Onye ọbụla bụ nwa afọ ala aghaghị ime ihe ndị a mgbe ọbụla o wetara onyinye
e sitere n'ọkụ nye dịka onyinye isisi ya dị ụtọ nye ONYENWE ANYỊ. 14 N'ọgbọ niile na-
abịa, mgbe ọbụla onye ọbịa, maọbụ onye ọzọ bi n'etiti unu wetara onyinye e sitere
n'ọkụ nye, nke isisi ya dị ụtọ nye ONYENWE ANYỊ, ọ ghaghị ịgbaso ụzọ a nye onyinye
ya. 15 Ọgbakọ ụmụ Izrel ga-enwe otu iwu ga-adịrị unu na ndị ọbịa bi n'etiti unu. Nke
a bụ ụkpụrụ ebighị ebi ga-adịrị ọgbọ niile na-abịa. Unu na ndị ọbịa ga-abụ otu n'ihu
ONYENWE ANYỊ. 16 Otu iwu na otu ụkpụrụ bụ ihe ga-adịrị onye ọbụla, diala na ndị
ọbịa bi n'etiti unu.' "
17 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 18 "Gwa ndị Izrel okwu sị ha, 'mgbe unu
banyere n'ala ahụ m na-akpọbata unu n'ime ya, 19 ọ bụrụ na unu erie nri dị n'ala
ahụ, wetanụ ụfọdụ n'ime nri ahụ dịka onyinye nye ONYENWE ANYỊ. 20 Wetanụ ogbe
achịcha site n'ọka mbụ unu ga-akwọ, chee ya n'ihu ONYENWE ANYỊ dịka onyinye e
wetara site n'ebe ịzọcha ọka. 21 Unu aghaghị inye ONYENWE ANYỊ onyinye a sitere
n'ọka mbụ ọbụla unu kwọrọ, site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.

### *Onye mehiere na-amaghị ama*

22 " 'Ọ bụrụ na unu amaghị ama ghara idebe iwu ndị a niile ONYENWE ANYỊ nyere
site n'aka Mosis, 23 bụ iwu ndị a niile ONYENWE ANYỊ nyere unu site n'aka Mosis,
site n'ụbọchị ahụ ONYENWE ANYỊ nyere ha ruo n'ọgbọ niile nke na-abịa. 24 Ọ bụrụ
na e mere ya na-amaghị ama, ọ bụrụ na ọgbakọ ụmụ Izrel amaghị ama mee ya,
mgbe ahụ, ọgbakọ ụmụ Izrel ga-eji nwa oke ehi chụọ aja nsure ọkụ, aja na-esi isi
ụtọ nke ONYENWE ANYỊ na-anabata. Aghaghị iwetakwa mkpụrụ ọka, na onyinye ihe
ọṅụṅụ nke ya na aja ahụ so, tinyere otu mkpi maka aja mmehie. 25 Onye nchụaja
ga-ekpuchitere nzukọ Izrel niile mmehie ha. A ga-agbagharakwa ha mmehie ha niile,
n'ihi na ọ bụ mmehie ha mere na-amaghị ama. Ha e cheela n'ihu ONYENWE ANYỊ aja
onyinye nri n'ihi amaghị ama ha ya na aja mmehie. 26 A ga-agbaghara nzukọ Izrel
niile na ndị ọbịa nọ n'etiti ha mmehie ha, n'ihi na mmadụ ndị a niile akpachaghị
anya mehie.
27 " 'Ọ bụrụ na ọ bụ naanị otu onye mehiere na-amaghị ama, ọ ga-eweta nwa nne
ewu gbara otu afọ maka aja mmehie. 28 Onye nchụaja a ga-eji ya chụọ aja ikpuchitere
onye ahụ na-amaghị ama mehie mmehie ya n'ihu ONYENWE ANYỊ. Mgbe ekpuchichara
mmehie ya, a ga-agbaghara onye ahụ. 29 Ọ bụ otu iwu a dịrị onye ọbụla mehiere na-
amaghị ama, maọbụ nwa afọ Izrel, maọbụ onye ọbịa nke bi n'etiti unu.
30 " 'Ma onye ọbụla kpachapụrụ anya mehie, maọbụ nwa afọ maọbụ onye ọbịa,
nke na-ekwulu ONYENWE ANYỊ, a ga-ebipụ onye dị otu a site n'etiti ndị Izrel. 31 N'ihi
na ha eledala okwu ONYENWE ANYỊ anya, mebie ihe o nyere n'iwu. A ghaghị ibipụ
onye dị otu a, mmehie ha ga-adịkwa ha n'isi.' "

### *Onye merụrụ ụbọchị izuike*

32 Mgbe ụmụ Izrel nọ n'ọzara, e jidere otu onye n'ime ha ka ọ na-akpa nkụ n'ụbọchị
izuike. 33 Ndị hụrụ ya ebe ọ na-akpa nkụ duuru ya jekwuru Mosis na Erọn na ọgbakọ
ụmụ Izrel. 34 Ha tinyere ya n'ụlọ mkpọrọ n'ihi na o doghị anya ihe e kwesiri ime ya.
35 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, "Nwoke a ghaghị ịnwụ. Ọgbakọ
Izrel niile ga-atụ ya nkume n'azụ obodo." 36 Ya mere, ọgbakọ ahụ kpọpụrụ ya n'azụ
obodo jiri nkume tugbuo ya, dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu.

### *Ihe ịchọ mma ọnụ ọnụ uwe*

37 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 38 "Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, 'N'ọgbọ
niile na-abịa unu ga-adụnye eriri akwa n'ọnụ ala ala uwe unu. Unu ga-eji eriri na-
acha anụnụ anụnụ dụnye ya. 39 Eriri akwa ndị a dị n'ọnụ ọnụ uwe unu ga-eme ka
unu cheta iwu niile ONYENWE ANYỊ nyere unu. Ka unu rube isi na ha hapụ imerụ

onwe unu site na ịgbaso ihe ọjọọ niile na-agụ obi unu na anya unu. 40 Mgbe ahụ
unu ga-echeta irube isi n’iwu m niile, bụrụ ndị e doro nsọ nye Chineke unu. 41 Abụ
m Onyenwe anyị Chineke unu, onye si n’ala Ijipt kpọpụta unu ịbụ Chineke unu. Abụ
m Onyenwe anyị Chineke unu.’ ”

# 16

### *Nnupu isi Kora na Datan na Abiram*

1 Ugbu a, Kora nwa Izha, nwa Kohat, nwa Livayị, na ụfọdụ ndị agbụrụ Ruben bụ
Datan, na Abiram ụmụ Eliab, na On, nwa Pelet nupuru isi 2 bilie imegide Mosis. Ndị
so ha bụ narị ndị ikom abụọ na iri ise, ndị ndu a maara nke ọma, ndị so nọdụ n’ụlọ
nzukọ ukwuu ndị Izrel. 3 Ha kpọrọ ọgbakọ imegide Mosis na Erọn sị ha, “Omume
unu agafeela oke! Ọgbakọ Izrel dị nsọ, onye ọbụla n’ime ha kwa. Onyenwe anyị
nọnyeere ha. Gịnị mere unu ji ebuli onwe unu elu karịa ọgbakọ Onyenwe anyị?”

4 Mgbe Mosis nụrụ ihe ndị a ha kwuru, ọ dara n’ala kpuo ihu ya n’ala. 5 Mgbe ahụ,
ọ gwara Kora na ndị niile sonyeere ya, sị, “N’ụtụtụ echi, Onyenwe anyị ga-eme ka
amara ndị bụ ndị ya na onye dị nsọ. Ọ ga-eme ka onye ahụ bịaruo ya nso. Onye ọ
ga-ahọpụta ka ọ ga-emekwa ka ọ bịaruo ya nso. 6 Lee ihe ị ga-eme, Echi gị onwe gị
Kora, na ndị niile nọnyeere gị, chịrịnụ ihe ịgụ ọkụ, 7 mụnye ha ọkụ. Tinyekwanụ
ụda na-esi isi ụtọ n’ime ha, were ha bịa n’ihu Onyenwe anyị. Onye ahụ Onyenwe
anyị họpụtara ga-abụ onye ahụ dị nsọ. O zuorola unu, unu ụmụ Livayị!”*

8 Mgbe ahụ, Mosis gwakwara Kora okwu ọzọ sị ya, “Ugbu a, geenụ ntị, unu ndị
Livayị! 9 Ọ bụ ihe dị nta n’anya unu na Chineke nke Izrel kewapụtara unu site na
nzukọ ndị Izrel niile, mee ka unu bịaruo ya nso, n’ihi ije ozi n’ụlọ nzute Onyenwe
anyị, nakwa iguzo n’ihu nzukọ Izrel niile ijere ha ozi†? 10 Ọ kpọbatala gị na ndị Livayị
ibe gị nso ebe ọ nọ. Ugbu a, unu na-achọkwa ọrụ nchụaja? 11 Ọ bụ Onyenwe anyị ka
gị na ndị sonyeere gị gbara izu megide. Onye ka Erọn bụ unu ji atamu ntamu megide
ya?”

12 Mgbe ahụ, Mosis ziri ozi ka a kpọọ Datan na Abiram, ụmụ ndị ikom Eliab, ma ha
sịrị, “Anyị agaghị abịa. 13 Ọ bụ na o zurughị gị na i si n’ala Ijipt ebe mmiri ara ehi na
mmanụ aṅụ na-eru kpọpụta anyị igbuchapụ anyị n’ọzara a? Ugbu a ị chọkwara ime
onwe gị onyenwe anyị? 14 Nke kachasị nke, ị kpọbatabeghị anyị n’ala mmiri ara ehi
na mmanụ aṅụ na-eru na ya. I nyebeghị anyị ihe nketa ala ubi na ubi vaịnị. Ị chọrọ
ịghụpụsị ndị ikom ndị a mkpụrụ anya?‡ Anyị agaghị abịa!”

15 Mgbe ahụ, oke iwe were Mosis. Ọ kpọkuru Onyenwe anyị sị ya, “Anabatakwala
aja ha niile! Ọ dịbeghị oge m naara ha ihe ọbụla, ọbụladị otu ịnyịnya ibu! O
nwekwaghị onye ọbụla n’ime ha m mejọrọ.”

16 Mgbe ahụ, Mosis sịrị Kora, “Echi, gị na ndị na-esonyere gị ga-apụta bịa n’ihu
Onyenwe anyị. Erọn ga-abịakwa. 17 Nwoke ọbụla ga-eweta ihe ịgụ ọkụ nke ya, tinye
ya ụda na-esi isi ụtọ, chee ha n’ihu Onyenwe anyị. Ha niile dị ihe ịgụ ọkụ narị abụọ
na iri ise. Gị na Erọn ga-ejikwa nke unu bịa.” 18 Ya mere, nwoke ọbụla wetara ihe ịgụ
ọkụ nke ya, mụnye ya ọkụ, ma tinye ya ụda na-esi isi ụtọ. Ha niile guzoro n’ọnụ ụzọ
ụlọ nzute ahụ, ha na Mosis na Erọn. 19 Mgbe Kora kpọkọtara ndị na-eso ya imegide
Mosis na Erọn n’ihu ọnụ ụzọ ụlọ nzute, ebube Onyenwe anyị pụtara ihe nye ọgbakọ
Izrel niile. 20 Onyenwe anyị gwara Mosis na Erọn okwu sị, 21 “Sitenụ n’etiti ọgbakọ
ndị a pụọ, ka m bibie ha n’otu ntabi anya.”

22 Ma Mosis na Erọn dara kpuo ihu n’ala n’ihu Onyenwe anyị rịọọ ya sị, “O Chineke,
gị bụ Chineke nwe ndụ mmadụ niile, ị ga-ewe iwe megide nzukọ niile n’ihi mmehie
otu onye?”

* **16:7** 16:7 Nke a na-egosi na ha agafeela oke e nyedebere ha. † **16:9** 16:9 Dit 10:8 ‡ **16:14** 16:14 Ị ga-eme
ha ka ndị ohu.

23 Ma Onyenwe anyị zara Mosis sị ya, 24 “Gwa nzukọ Izrel niile sị ha, ‘Wezuganụ
onwe unu site n’ụlọ ikwu Kora, Datan na Abiram.’ ”
25 Mosis biliri jekwuru Datan na Abiram, ndị okenye Izrel sokwa Mosis. 26 Mgbe
Mosis ruru n’ebe ahụ, ọ dọrọ nzukọ Izrel aka na ntị sị, “Ngwa, sinụ n’ụlọ ndị ọjọọ
a wezuga onwe unu. Unu ebitụkwala ihe ọbụla bụ nke ha aka. Ma ọ bụghị otu a,
a ga-agụnyekọ unu na mmehie ha, lakọọ unu na ha n’iyi.” 27 Ya mere mmadụ niile
wezugara onwe ha site n’ọmụma ụlọ ikwu Kora, na Datan na Abiram. Ma Datan na
Abiram pụtara guzoro n’ọnụ ụzọ ụlọ ikwu ha, ha onwe ha na ndị nwunye ha niile,
na ụmụ ha niile, na ụmụntakịrị ha niile.
28 Mgbe ahụ, Mosis kwuru sị, “Ugbu a ka unu ga-amata na ọ bụ Onyenwe anyị
zitere m ime ihe ndị a niile m mere. N’ihi na-emeghị m ha site n’uche nke onwe m.
29 Ọ bụrụ na ndị ikom ndị a anwụọ ọnwụ chi ha, bụ ụdị nleta nke dịrị mmadụ ọbụla,
mgbe ahụ, matanụ na ọ bụghị Onyenwe anyị zitere m. 30 Ma ọ bụrụ na Onyenwe
anyị emee ihe ọhụrụ dị iche, mee ka ala meghee ọnụ ya, lodaa ndị a niile, na ihe niile
bụ nke ha, si otu a mee ka ha rịda n’ala ili na ndụ, mgbe ahụ, unu ga-amata na ndị
ikom ndị a eledala Onyenwe anyị anya.”
31 Mgbe Mosis kpụ okwu a n’ọnụ ya, lee ala ahụ Kora, na Datan, na Abiram, na ndị
ezinaụlọ ha niile guzo n’elu ya kewara abụọ n’otu ntabi anya ahụ, 32 ala ahụ meghere
ọnụ ya, loo ha, na ezinaụlọ ha niile, na ndị ahụ niile so Kora, na ihe niile ha nwere.
33 Ha niile rịdaruru n’ala ndị nwụrụ anwụ na ndụ. Ala ahụ kpuchikwara ha niile, si
otu a mee ka ha laa n’iyi. 34 Ndị Izrel niile nọ ha gburugburu gbara ọsọ, mgbe ha tiri
mkpu akwa, na-asị, “Ala na-agakwa iloda anyị.”
35 Mgbe ahụ, ọkụ si n’ebe Onyenwe anyị nọ dara, rechapụ narị mmadụ abụọ na iri
ise ndị ahụ na-enye onyinye aja nsure ọkụ na-esi isi ụtọ.
36 Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị ya, 37 “Gwa Elieza nwa Erọn, onye nchụaja,
ka o site n’ọkụ ahụ wepụta ihe ịgụ ọkụ ndị ahụ niile n’ihi na ha dị nsọ. Ọ ga-
ekposakwa icheku ọkụ niile n’akụkụ niile. 38 Ha bụ ihe ịgụ ọkụ nke ndị ikom sitere
na mmehie ha tufuo ndụ ha. Ka etipịa ihe ịgụ ọkụ ndị ahụ. Mee ha ka ha ghọọ ihe
sara mbara nke a ga-eji machite ebe ịchụ aja, n’ihi na e chere ha n’ihu Onyenwe
anyị, ha aghọọla ihe dị nsọ. Ka ha bụrụ ihe ịrịbama nye ndị Izrel niile.”
39 Ya mere Elieza, onye nchụaja, chịkọtara ihe ịgụ ọkụ bronz ndị ahụ nke ndị ahụ
a kpọrọ ọkụ wetara, tipịa ha, mee ka ha ghọọ ihe sara mbara e ji ekpuchi ebe ịchụ
aja, 40 dịka Onyenwe anyị nyere ya n’iwu site n’ọnụ Mosis. Ka ọ bụrụ ihe ncheta
nye ndị Izrel niile na onye mba ọzọ a na-enyeghị ike, nke na-esiteghị n’agbụrụ Erọn,
ekwesighị ịbịaru Onyenwe anyị nso isure aja nsure ọkụ nye ya, ka ihe mere Kora na
ndị sonyere ya ghara ime ha.
41 Ma n’ụtụtụ echi ya, nzukọ Izrel niile malitere itamu ntamu megide Mosis na Erọn
sị, “Unu egbuchaala ndị nke Onyenwe anyị.”
42 Ma mgbe ọgbakọ Izrel zukọtara imegide Mosis na Erọn, mgbe ha chere ihu n’ụlọ
nzute, na mberede, igwe ojii kpuchiri ụlọ nzute ahụ, ebube Onyenwe anyị pụtakwara
ihe. 43 Mgbe ahụ, Mosis na Erọn gara n’ihu ụlọ nzute ahụ. 44 Ma Onyenwe anyị gwara
Mosis sị, 45 “Sinụ n’etiti ọgbakọ a pụọ ka m bibie ha n’otu ntabi anya.” Ha dara kpuo
ihu n’ala.
46 Mgbe ahụ, Mosis sịrị Erọn, “Ngwa, were ihe ịgụ ọkụ ma site n’ebe ịchụ aja gụnye
ya ọkụ. Tinye ya ụda na-esi isi ụtọ. Burukwa ya gaa ngwangwa n’etiti nzukọ Izrel
ka i kpuchiere ha mmehie ha, n’ihi na iwe ọkụ Onyenwe anyị adakwasịla ha. Nrịa
nrịa na-efe efe amalitekwalarị ibibi ha.” 47 Erọn mere dịka Mosis kwuru. O mere
ngwangwa gbaba n’etiti ndị Izrel n’ihi na nrịa nrịa ahụ ebidola n’ezie ịdakwasị ha.
Erọn mụnyere ụda na-esi isi ụtọ ahụ ọkụ, si otu ahụ kpuchiere ha mmehie ha niile.
48 O guzokwara n’etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ tutu ihe otiti ahụ akwụsị. 49 Ma

ihe otiti ahụ egbuolarị puku mmadụ iri, puku anọ na narị asaa (14,700). A gụnyeghị
ndị niile ahụ so Kora nwụọ n'ụbọchị gara aga. 50 Mgbe ahụ, Erọn laghachikwutere
Mosis n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ, n'ihi na nrịa nrịa ahụ na-efe efe akwụsịla.

## 17

*Mkpanaka Erọn epupụta ahịhịa*

1 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 2 "Gwa ụmụ Izrel okwu, sitekwa
n'aka ha nata mkpanaka iri na abụọ otu mkpanaka n'isi onyendu nke ebo ọbụla.
Dekwasị aha onyendu ọbụla n'ahụ mkpanaka nke ya. 3 Ma n'elu mkpanaka Livayị
dekwasị aha Erọn. A ga-enwe otu mkpanaka maka onyendu ebo ọbụla. 4 Tinye
mkpanaka ndị a niile n'ime ụlọ nzute, n'ihu Ihe Ama ahụ, ebe m na-ezute gị.
5 Mkpanaka nke onye ahụ m họpụtara ga-ama ifuru ndụ. M ga-ewezugakwa ntamu
niile nke ndị Izrel site n'ebe m nọ, bụ nke ha na-atamu megide unu."
6 Ya mere, Mosis gwara ndị Izrel okwu ndị a. Ndị ndu ha nyere ya mkpanaka iri
na abụọ, otu mkpanaka n'isi otu onyeisi maka onyeisi ebo ha n'otu n'otu. Mkpanaka
Erọn dịkwa n'etiti nke ha. 7 Mosis chịịrị ha niile dozie ha n'ihu ONYENWE ANYỊ n'ime
ime ụlọ nzute Ihe Ama ahụ.
8 N'echi ya, Mosis banyere n'ụlọ nzute Ihe Ama ahụ chọpụta na ọ bụghị naanị na
mkpanaka Erọn, onye nọchitere anya ebo Livayị, amaala ifuru, kama na ọ waala
okoko ma mịakwa mkpụrụ osisi chara acha a na-akpọ alụmọnd. 9 Mgbe ahụ, Mosis
sitere n'ihu ONYENWE ANYỊ wepụta mkpanaka ndị ahụ niile gosi ha ndị Izrel niile. Ha
hụrụ ha, ma nwoke ọbụla weghachiri mkpara osisi nke ya.
10 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, "Tinye mkpanaka Erọn n'ihu Ihe Ama ahụ, ka
ọ dịgide n'ebe ahụ dịka ihe ama nye ndị nnupu isi. Nke a ga-eme ka ntamu ndị
a megide m kwụsị, ka ha ghara ịnwụ." 11 Ya mere, Mosis mezuru ihe niile dịka
ONYENWE ANYỊ nyere ya n'iwu.
12 Ma ndị Izrel zara Mosis sị ya, "Ndị nwụrụ anwụ ka anyị bụ! Ofufu ka anyị furu.
N'ezie anyị bụ ndị furu efu. 13 Onye ọbụla bịaruru nso ebe obibi ONYENWE ANYỊ
ga-anwụ. Anyị niile ga-anwụ?"

## 18

*Ọrụ ndị nchụaja na ndị Livayị*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Erọn sị, "Gị, na ụmụ gị ndị ikom gị, na ezinaụlọ nna gị
ga-ebu ahụhụ ajọ omume metụtara ebe nsọ ahụ. Gị na ụmụ gị ndị ikom naanị ka
ọ dị n'aka ịsa ajụjụ ihe ọjọọ ọbụla banyere ọrụ nchụaja. 2 Site n'ebo unu kpọbata
ụmụnna gị ndị Livayị ka ha sonyere gị ma nyere gị aka mgbe gị na ụmụ gị ndị ikom
na-eje ozi n'ụlọ nzute Ihe Ama. 3 Ha ga-anọ gị n'okpuru ije ozi niile n'ụlọ nzute, ma
ha agaghị abịaru nso ngwongwo e ji chọọ ebe nsọ ahụ mma, maọbụ n'ebe ịchụ aja.
Ma ọ bụghị otu a, gị na ha ga-anwụ. 4 Ha ka ọ dịrị, isonye gị n'ilekọta ụlọ ikwu ahụ,
ya bụ, ihe niile metụtara ụlọ ikwu anya. O nweghị onye ọzọ nke ga-abịa nso ebe ị
nọ.
5 "Gị ka ọ dịrị ilekọta ihe niile metụtara ebe nsọ ahụ, na ebe ịchụ aja ahụ, ka
oke iwe ONYENWE ANYỊ ghara ịdakwasị onye ọbụla n'ala Izrel ọzọ. 6 Mụ onwe m
ahọpụtala ụmụnna gị ndị Livayị site n'etiti ndị Izrel, were ha nye gị dịka onyinye, ka
ha bụrụ ndị e doro nsọ nye ONYENWE ANYỊ maka ịrụ ọrụ ụlọ nzute. 7 Ma ọ bụ naanị
gị, na ụmụ gị ndị ikom, ga-aga ozi dịka ndị nchụaja, ozi metụtara ebe ịchụ aja, na
ihe niile dị n'azụ akwa mgbochi ahụ. Ana m enye gị ọrụ nchụaja dịka onyinye. Onye
ọbụla ọzọ bịara nso ebe nsọ ahụ ga-anwụ."

*Oke ndị nchụaja na ndị Livayị*

8 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị gwara Erọn okwu sị ya, “Mụ onwe m emeela gị onye
nlekọta onyinye niile a na-eche n’ihu m, onyinye niile dị nsọ nke ụmụ Izrel wetara
m ka m na-enye gị na ụmụ gị ndị ikom dịka oke ruuru unu site n’ụkpụrụ ebighị
ebi.* 9 Unu ga-enwere akụkụ aja ahụ kachasị nsọ nke a na-edopụ iche site n’ọkụ.
Site n’onyinye niile nke a na-ewetara m, bụ onyinye mkpụrụ ọka maọbụ aja mmehie
maọbụ aja ikpe ọmụma, ndị ahụ a na-edopụ iche dịka ihe kachasị nsọ, ha ga-abụ oke
gị na ụmụ gị ndị ikom. 10 A ga-eri ha dịka ihe dịkarịrị nsọ. Nwa nwoke ọbụla ga-eri
ya. Unu ga-agụ ha dịka ihe dị nsọ.
11 “Nke a bụkwa nke gị: Ihe ọbụla nke ewezugara site n’onyinye nke aja mfufe
niile nke ndị Izrel wetara. Mụ onwe m na-ewere nke a nye gị na ụmụ gị ndị ikom, na
ụmụ gị ndị inyom dịka oke unu n’ụkpụrụ ebighị ebi. Onye ọbụla nke dooro onwe ya
ọcha n’ezinaụlọ nwere ike iri ya.
12 “Ana m enye gị mmanụ oliv nke kachasị mma, na mmanya ọhụrụ nke kachasị
mma na ọka, bụ mkpụrụ mbụ nke owuwe ihe ubi ha na-ewetara Onyenwe anyị.
13 Mkpụrụ mbụ nke ihe niile dị n’ala nke ha na-ewebatara Onyenwe anyị, ga-abụ nke
gị. Onye ọbụla nke dị ọcha n’ezinaụlọ unu nwere ike iso rie ya.
14 “Ihe niile e doro nsọ n’ala Izrel niile nye Onyenwe anyị bụ nke gị. 15 Ihe niile e
bụ ụzọ mụọ, ma mmadụ ma anụ ụlọ, nke e nyere Onyenwe anyị dịka onyinye, bụ
nke gị. Ma unu aghaghị ịgbara ụmụ ndị ikom niile e bụ ụzọ mụọ, na ụmụ oke anụ
ụlọ niile e bụ ụzọ mụọ ndị na-adịghị ọcha. 16 Mgbe ha dị otu ọnwa, a ga-eji shekel
ọlaọcha ise, n’usoro shekel ebe nsọ, nke bụ iri ihe ọtụtụ gera abụọ gbapụta ha.
17 “Ma a gaghị agbara nwa ehi mbụ, maọbụ nwa atụrụ mbụ maọbụ nwa ewu mbụ.
Ha dị nsọ. Fesa ọbara ha n’elu ebe ịchụ aja ahụ, ma kpọọ abụba ha ọkụ dịka onyinye
e nyere site n’ọkụ, nke na-esi isi ụtọ nye Onyenwe anyị. 18 Ozu anụ ndị a niile e gburu
ga-abụ nke gị, dịka obi anụ na apata ụkwụ aka nri anụ nke aja mfufe a na-eche n’ihu
Onyenwe anyị n’ebe ịchụ aja si bụrụ nke gị. 19 Ihe ọbụla e dopụrụ iche site n’onyinye
nsọ niile ụmụ Izrel chere n’ihu Onyenwe anyị ka m na-enye gị na ụmụ gị ndị ikom,
na ụmụ gị ndị inyom dịka oke ruuru unu n’ụkpụrụ ebighị ebi. Ọ bụ ọgbụgba ndụ
nnu ebighị ebi n’ihu Onyenwe anyị nye gị na ụmụ ụmụ gị.”
20 Onyenwe anyị gwara Erọn okwu sị ya, “Unu agaghị enwe ihe nketa nke ala, a
gaghị ekenyekwa unu ala ọbụla n’ala Izrel niile. N’ihi na mụ onwe m bụ oke na ihe
nketa unu nwere n’etiti ụmụ Izrel.
21 “Enyela m ndị Livayị, onyinye otu ụzọ n’ụzọ iri ahụ ụmụ Izrel niile na-
akwụbatara m. Nke a bụ ihe nketa ha n’ihi ọrụ ha na-arụ n’ụlọ nzute. 22 Site ugbu
a gaa n’ihu, o nweghị onye Izrel ọbụla kwesiri ịbịa nso ụlọ nzute ahụ, ka ha ghara
iwetara onwe ha ikpe ọmụma, mmehie na ọnwụ. 23 Ọ bụ naanị ụmụ Livayị ga-arụ
ọrụ n’ụlọ nzute ahụ. Ha ka ọ dịrị ibu ahụhụ ajọ omume ọbụla banyere ejezighị ozi
nke ụlọ nzute. Ụkpụrụ a ga-adị ebighị ebi ruo ọgbọ niile dị n’ihu. Ndị Livayị agaghị
enwe ihe nketa nke aka ha n’etiti ụmụ Izrel. 24 Kama, enyela m ndị Livayị onyinye
otu ụzọ n’ime ụzọ iri ahụ niile ndị Izrel na-ewetara Onyenwe anyị ka ọ bụrụ ihe
nketa ha. Ọ bụ nke a mere m ji kwuo sị, ‘Ha agaghị enweta ihe nketa n’etiti ụmụ
Izrel.’ ”
25 Onyenwe anyị gwakwara Mosis okwu sị, 26 “Gwa ndị Livayị okwu sị, ‘Mgbe unu
si n’aka ụmụ Izrel nata onyinye otu ụzọ n’ime ụzọ iri ahụ m nyere unu dịka ihe
nketa, unu aghaghị isite n’onyinye ahụ nye otu ụzọ n’ime ụzọ iri dịka onyinye nye

---

* **18:8** 18:8 Ndị nchụaja na ndị Livayị enweghị oke, maọbụ ihe nketa ọbụla, dịka ebo ndị ọzọ. Ihe ndị Livayị ketara bụ naanị obodo ụfọdụ ebe ha ga-ebi na ala ebe anụ ụlọ ha ga na-ata ahịhịa. N’ihi i ji tie ha aka n’obi, ọ bụ ha nwe onyinye otu ụzọ n’ime ụzọ iri ha na-anata site n’aka ụmụ Izrel, nke a dị n’amaokwu. 18:25-32 Ọ bụ oke ha iri ụfọdụ ihe ndị Izrel ji chụọ aja, Dit 18:1-8 ọzọkwa, ha nwere ike iri onyinye ndị ọzọ niile e chere n’ihu ebe ịchụ aja, ha na ndị ezinaụlọ ha, ma ọ gaghị abụ n’ime ụlọ nzute ahụ 18:11.

Onyenwe anyị. 27 A ga-agụ onyinye unu wetara dịka ọ bụ onyinye ọka unu si n’ebe
ịzọcha ọka weta, maọbụ dịka mmanya unu si n’ebe ịzọcha mmanya weta. 28 N’ụzọ
dị otu a, unu onwe unu ga-eche onyinye unu n’ihu Onyenwe anyị site n’onyinye otu
ụzọ n’ime ụzọ iri unu si n’aka ụmụ Izrel nata. Site n’onyinye ndị a unu natara, unu
ga-enye Erọn onye nchụaja onyinye ahụ ruuru Onyenwe anyị. 29 Onyinye unu ga-
enye dịka nke ruuru Onyenwe anyị ga-abụ akụkụ onyinye ndị ahụ kachasị mma, na
ndị kachasị ịdị nsọ.’

30 “Gwa ndị Livayị okwu sị ha, ‘Mgbe unu wetara akụkụ onyinye ndị ahụ kachasị
mma, a ga-agụnyere unu ya dịka a ga-asị na ọ bụ onyinye unu si n’ebe ịzọcha ọka,
na n’ebe ịzọcha mmanya vaịnị unu weta. 31 Unu na ezinaụlọ unu nwere ike iri ndị
fọdụrụ n’ụlọ unu, maọbụ n’ebe ọbụla masịrị unu, n’ihi na ha bụ ụgwọ ọrụ unu n’ihi
ozi niile unu jere n’ụlọ nzute. 32 Ikpe ọmụma agaghị adịrị unu mgbe unu na-eri ya
ma ọ bụrụ na unu chere onyinye ndị ahụ kachasị mma n’ihu Onyenwe anyị. Ma
kpachapụnụ anya hụ na unu e merụghị onyinye ndị a dị nsọ ụmụ Izrel webatara. Ọ
bụrụ na unu emee nke a, unu ga-anwụ.’ ”

# 19

*Mmiri ido ihe ọcha*

1 Onyenwe anyị gwara Mosis na Erọn okwu sị ha, 2 “Ndị a bụ ụkpụrụ dị n’iwu ahụ
Onyenwe anyị nyere. Gwa ụmụ Izrel ka ha wetara gị nwa nne ehi na-acha uhie uhie
nke na-enweghị ntụpọ, na nke ụdọ yoku na-agabeghị n’olu ya. 3 Nye ya Elieza onye
nchụaja, ka ọ kpụrụ ya pụọ n’azụ ogige, ebe otu onye ga-egbu ya mgbe ọ nọ na-ele
ya anya. 4 Elieza bụ onye nchụaja ga-arụrụ ụfọdụ n’ime ọbara ya na mkpịsịaka ya,
fesa ya na ncherita ihu ụlọ nzute ahụ ugboro asaa. 5 Mgbe ahụ, onye ọzọ ga-akpọ
nwa nne ehi ahụ ọkụ mgbe Elieza nọkwa na-ele ya anya. Ọ ga-akpọ akpụkpọ ya, anụ
ya, ọbara na mgbịrị afọ ya ọkụ. 6 Onye nchụaja ga-ewere osisi sida, na osisi hisọp,
na ogho uhie, tụba ha n’etiti ebe ahụ a kpọrọ nwa nne ehi ahụ ọkụ. 7 Emesịa, onye
nchụaja ahụ ga-asacha uwe niile o yi; sakwaa ahụ ya. Ọ ga-alọghachikwa azụ n’ime
ogige ahụ ebe ọ ga-anọ dịka onye na-adịghị ọcha ruo n’uhuruchi. 8 Onye ahụ kpọrọ
nwa ehi ahụ ọkụ aghaghị ịsa uwe ya niile, sakwaa ahụ ya. Ọ ga-anọkwa ọnọdụ onye
na-adịghị ọcha ruo anyasị.

9 “Mgbe ahụ, onye nke dị ọcha, ga-ekpokọta ntụ ozu nwa nne ehi ahụ, wụnye ya
n’ebe dị ọcha n’azụ ogige ahụ. Ebe ahụ ka nzukọ Izrel ga-edebe ya maka ikporo
wụnye na mmiri e ji asachapụ adịghị ọcha. Ọ bụ maka nsacha pụọ na mmehie.
10 Ma onye ahụ ga-ekpokọta ntụ nsure ọkụ nwa nne ehi ahụ aghaghị ịsa uwe ya
niile, sakwaa ahụ ya, nọkwaa dịka onye na-adịghị ọcha ruo n’uhuruchi. Iwu a ga-
adịgidere ndị Izrel na ndị ọbịa binyere ha site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ.

11 “Onye ọbụla metụrụ ozu mmadụ aka ga-abụ onye na-adịghị ọcha ụbọchị asaa.
12 Ha aghaghị iji mmiri e ji asachapụ adịghị ọcha saa ahụ ha n’ụbọchị nke atọ na
n’ụbọchị nke asaa. Mgbe ahụ, ha ga-adị ọcha. Ma ọ bụrụ na ha asaghị ahụ ha
n’ụbọchị nke atọ nakwa n’ụbọchị nke asaa, ha ga-anọgide bụrụ ndị na-adịghị ọcha
ọ bụladị mgbe ụbọchị asaa ahụ gafesịrị. 13 Onye ọbụla metụrụ ozu mmadụ aka ma
ọ saghị ahụ ya dịka usoro a si dị, o merụọla ebe nsọ Onyenwe anyị. A ga-ewezuga
onye dị otu a site n’etiti ndị Izrel. Ebe ọ bụ na a wụsaghị ya mmiri nsacha ahụ; ọ
ga-anọgide bụrụ onye na-adịghị ọcha.

14 “Mgbe mmadụ nwụrụ n’ụlọ ikwu, ndị a ga-abụ iwu unu ga-eso. Ndị nọ n’ime
ụlọ ikwu ahụ mgbe ọ nwụrụ na onye ọbụla banyere n’ụlọ ikwu ahụ, ga-abụ ndị na-
adịghị ọcha ụbọchị asaa. 15 Ihe ọbụla nke ghere oghe, nke na-enweghị ihe mkpuchi
eriri e ji kechie elu ya, ga-abụ ihe na-adịghị ọcha.

16 “Onye gara n’ọhịa metụ onye e gburu n’agha aka, maọbụ onye nwụrụ n’ụzọ ọzọ
dị iche, ma ọ bụkwanụ metụ ọkpụkpụ, maọbụ ili onye nwụrụ anwụ aka, ọ ga-abụ
onye na-adịghị ọcha ụbọchị asaa.
17 “Ma banyere onye ahụ na-adịghị ọcha, kporo ntụ site n’ime aja mmehie ahụ a
kpọrọ ọkụ, tinye ya n’ime ite, wụkwasị ya mmiri e si n’iyi na-eru eru kute. 18 Mgbe
ahụ, nwoke nke nọ n’ọnọdụ ịdị ọcha ga-ewere ụfọdụ hisọp, denye ya na mmiri ahụ
fesaa ya n’ime ụlọ ikwu ahụ, na ngwongwo niile e ji dozie ụlọ ahụ, na ndị mmadụ
nọ n’ebe ahụ. Ọ ga-efesakwa ya n’ahụ onye ọbụla metụrụ ọkpụkpụ, maọbụ onye e
gburu egbu, maọbụ onye nwụrụ anwụ ma ọ bụkwanụ ili aka. 19 Nwoke ahụ dị ọcha
ga-efesakwa ndị ahụ rụrụ arụ n’ụbọchị nke atọ na n’ụbọchị nke asaa. N’ụbọchị nke
asaa ka ọ ga-eme ka ha dị ọcha. Ndị ahụ a na-edo ọcha ga-asa uwe ha mmiri, saa
ahụ ha, n’uhuruchi ụbọchị ahụ ka ha ga-adị ọcha. 20 Ma ọ bụrụ na ndị ahụ merụrụ
onwe ha e doghị onwe ha ọcha, aghaghị iwepụ ha site n’etiti ọgbakọ Izrel. N’ihi na
ha merụrụ ebe nsọ ONYENWE ANYỊ. E fesakwaghị ha mmiri nke ịdị ọcha n’ahụ, nke
mere na ha adịghị ọcha. 21 Nke a bụ ụkpụrụ ga-adịgide mgbe ebighị ebi.
“Nwoke ahụ na-efesa mmiri ahụ e ji edo mmadụ ọcha, aghaghị ịsacha uwe ya niile.
Onye ọbụla metụrụ mmiri nke ịdị ọcha ahụ aka, ga-abụ onye na-adịghị ọcha ruo
n’uhuruchi. 22 Ihe ọbụla kwa onye na-adịghị ọcha metụrụ aka, ga-aghọ ihe na-adịghị
ọcha, onye ọbụla metụkwara ya aka ga-abụ onye na-adịghị ọcha ruo n’uhuruchi.”

# 20

*Mmiri si na nkume*

1 Ụmụ Izrel, bụ nzukọ ahụ niile rutere n’ọzara Zin n’ọnwa nke mbụ. Ha manyere
ụlọ ha na Kadesh. Ọ bụkwa n’ebe ahụ ka Miriam nwụrụ. E lie ya.
2 Ma mmiri ọṅụṅụ adịghị nye ndị nzukọ ahụ. Ya mere na ha gbakọtara imegide
Mosis na Erọn. 3 Ha sesịrị Mosis okwu sị, “Ọ gaara akara anyị mma ma a sị
na anyị nwụrụ mgbe ụmụnna anyị nwụrụ n’ihu ONYENWE ANYỊ. 4 Gịnị mere i ji
kpọbata ọgbakọ nke ONYENWE ANYỊ n’ime ọzara a, ime ka anyị na anụ ụlọ anyị niile
nwụọ n’ebe a? 5 Gịnị mere i ji si n’ala Ijipt kpọpụta anyị, kpọbata anyị n’ebe ọjọọ
a? O nweghị mkpụrụ ọghịgha maọbụ fiig, enweghị mkpụrụ vaịnị maọbụ mkpụrụ
pomegranet. Ọ dịghị mmiri dị nke ha ga-aṅụ.”
6 Mosis na Erọn si n’ebe ọgbakọ ahụ nọ tụgharịa gaa n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute, daa kpụọ
ihu ha n’ala. E mee ka ha hụ ebube ONYENWE ANYỊ anya. 7 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis
sị, 8 “Were mkpara ahụ, gị na nwanne gị Erọn kpọkọta nzukọ Izrel niile. Gwa nkume
ahụ okwu n’ihu ha, ọ ga-asọpụta mmiri ya. Unu ga-eme ka mmiri si na nkume ahụ
sọpụta nye ọgbakọ ahụ, ka ha na igwe anụ ụlọ ha, ṅụọ mmiri.”
9 Ya mere Mosis sitere n’ihu ONYENWE ANYỊ weere mkpara ahụ dịka iwu ONYENWE
ANYỊ nyere ya si dị. 10 Emesịa, Mosis na Erọn kpọkọtara ụmụ Izrel niile n’ihu nkume
ahụ. Mgbe ha bịaruru nso, Mosis gwara ha okwu sị ha, “Geenụ ntị unu ndị nnupu
isi! Ọ bụ site na nkume a ka anyị ga-enye unu mmiri?” 11 Mgbe ahụ Mosis weliri
aka ya elu jiri mkpara ahụ tie nkume ahụ ugboro abụọ. Mmiri sitere na ya sọpụta.
Ọgbakọ Izrel niile na igwe anụ ụlọ ha ṅụkwara mmiri.
12 Ma ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Erọn okwu sị, “Ebe ọ bụ na unu jụrụ ikwenye
n’okwu m, jụkwa ido m nsọ n’ihu ndị Izrel niile, unu agaghị edubata ọgbakọ ndị a
n’ala ahụ m na-aga inye ha.”
13 A kpọrọ ebe ahụ mmiri Meriba,* n’ihi na ọ bụ n’ebe ahụ ka Izrel wesoro ONYENWE
ANYỊ iwe. O gosikwara ha ịdị nsọ ya.

*Edọm ajụ na Izrel ga-agafe*

* **20:13** 20:13 Meriba pụtara Esemokwu.

14 Mosis sitere n’ọzara Kadesh, zipụ ndị ozi ka ha gakwuru eze Edọm, sị ya,
“Otu a ka nwanne gị bụ Izrel na-ekwu: Ị nụla akụkọ ihe nhụju anya niile
dakwasịrị anyị. 15 Nna anyị gara biri n’ala Ijipt. Anyị biri n’ebe ahụ ọtụtụ afọ.
Ndị Ijipt mekpara anyị na nna nna anyị ha ahụ. 16 Ma mgbe anyị tikuru ONYENWE
ANYỊ mkpu akwa, ọ nụrụ akwa anyị, zitere anyị mmụọ ozi ya, onye dupụtara anyị
site n’ala Ijipt.
“Ugbu a, anyị nọ na Kadesh obodo dị nso n’oke ala gị. 17 Biko kwere ka anyị
si n’ala gị gafee. Anyị ga-akpachara anya hụ na anyị esiteghị n’ubi ihe ọkụkụ gị
maọbụ n’ubi vaịnị gị gafee. Anyị agaghị aṅụ mmiri ọbụla site n’olulu mmiri gị.
Anyị ga-anọgide naanị n’okporoụzọ eze. Anyị agaghị ahapụ ya, chee ihu akụkụ
aka nri maọbụ aka ekpe, tutu ruo mgbe anyị gafechara oke ala gị.”
18 Ma eze Edọm zara sị,
“Unu amanyela ụkwụ; ọ bụrụ na unu anwaa anwa bata n’ala m, aga m eji ndị
agha m zute unu.”
19 Ma ndị Izrel zara ozi o ziri sị ya,
“Ọ bụ naanị n’okporoụzọ ka anyị ga-esi gafee. Ọ bụrụ na anyị maọbụ anụ ụlọ
anyị a ṅụọ mmiri dị n’ala gị, anyị ga-akwụ ọnụahịa ya. Naanị mkpa anyị bụ ịgafe.
Ọ dịghị ihe ọzọ anyị chọrọ.”
20 Ma eze Edọm aṅaghị ntị, ọ gwaghere ha ọnụ sị,
“Unu agaghị esite n’ala gabiga.”
Edọm chịkọtara ọtụtụ ndị agha dị ike duru ha pụọ ịga izute ha. 21 Ebe ọ bụ na ndị
Edọm ekweghị ka ndị Izrel si n’oke ala ha gafee, ndị Izrel tụgharịrị azụ hapụ isi ụzọ
ahụ.

### *Ọnwụ Erọn*

22 Ọgbakọ Izrel niile sitere na Kadesh bulie ije gagide rute n’ugwu Hor. 23 N’ugwu
Hor, n’oke ala Edọm, Onyenwe anyị gwara Mosis na Erọn okwu sị ha, 24 “Oge eruola
mgbe Erọn ga-anwụ. Ọ gaghị abanye n’ala ahụ m nyere ụmụ Izrel, n’ihi na unu
abụọ nupuru isi n’iwu m na mmiri Meriba. 25 Ugbu a, kpọrọ Erọn na nwa ya nwoke
Elieza, duru ha gaa n’ugwu Hor. 26 N’ebe ahụ ka ị ga-eyipụ Erọn uwe onye nchụaja
o yi, yikwasị ha Elieza nwa ya nwoke. Ọ bụkwa n’ebe ahụ ka Erọn ga-anọ nwụọ.”
27 Ya mere Mosis mere dịka ONYENWE ANYỊ nyere ya iwu. Ha atọ rigoro n’ugwu Hor
mgbe nzukọ Izrel niile nọ na-ele ha anya. 28 Mgbe ha ruru n’elu ugwu ahụ, Mosis
yipụrụ Erọn uwe onye nchụaja ya yikwasị ha nwa ya nwoke Elieza. Erọn nọkwa
n’ebe ahụ, n’elu ugwu ahụ nwụọ. Emesịa, Mosis na Elieza tụgharịrị site n’ugwu ahụ
lọghachi. 29 Mgbe ọgbakọ Izrel nụrụ ihe banyere ọnwụ Erọn ha ruru ụjụ n’ihi ya iri
ụbọchị atọ.

## 21

### *Mbibi obodo Arad*

1 Mgbe eze Kenan, bụ Arad, onye bi na Negev nụrụ na ndị Izrel na-agbaso ụzọ ahụ
na-aga obodo Atarim, ọ chịkọtara ndị agha ya, pụkwuru ndị Izrel, lụso ha agha. Ọ
dọtara ụfọdụ n’ime ha n’agha. 2 Mgbe ahụ, ndị Izrel kwere ONYENWE ANYỊ nkwa sị,
“Ọ bụrụ na ị ga-enyere anyị aka imeri eze Arad na ndị ya, anyị ga-ebibi obodo ha
niile kpamkpam.” 3 ONYENWE ANYỊ ṅara ntị n’arịrịọ ha, nyere ha aka imeri ndị Kenan
ahụ. Mgbe ahụ, ụmụ Izrel bibiri obodo ha niile, na ndị niile bi n’ime ya. Ya mere,
aha a kpọrọ ebe ahụ niile bụ Homa.

### *Agwọ Bronz Ahụ*

4 Mgbe ahụ, ụmụ Izrel sitere n’ugwu Hor bilie ije ha, si ụzọ gawara Osimiri Uhie,
ka ha nwee ike gaa gburugburu ala ndị Edọm. Ma ndị Izrel enweghị ntachiobi oge

niile ha nọ n’ije a. 5 Ha kwuru okwu megide Chineke na Mosis sị, “Gịnị mere i ji site
n’ala Ijipt kpọpụta anyị ka anyị nwụsịa n’ọzara a? Lee na nri ọbụla adịghị n’ebe a,
mmiri ọṅụṅụ adịghịkwa, ike iri mánà a na-enweghị isi agwụkwala anyị.”
6 Ya mere, ONYENWE ANYỊ zitere agwọ ọjọọ na-ata ata n’etiti ha. Agwọ ndị a
tagbukwara ọtụtụ n’ime ụmụ Izrel. 7 Mgbe ahụ, ndị Izrel bịakwutere Mosis sị ya,
“Anyị emehiela, n’ihi na anyị ekwuluola ONYENWE ANYỊ, kwulukwaa gị onwe gị. Biko
rịọrọ anyị ONYENWE ANYỊ ka o wezugara anyị agwọ ọjọọ ndị a.” Mosis rịọrọ arịrịọ
n’ihi ha.
8 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, “Kpụọ otu agwọ yiri agwọ ndị
a. Kwụba ya n’ọnụ ogologo osisi nke ị ga-amanye n’ala ebe mmadụ niile ga-ahụ ya
anya. Onye ọbụla agwọ ọjọọ a tara ga-adị ndụ ma ọ bụrụ na ọ ga-ewelite anya ya elu
lekwasị agwọ ahụ ị kwụbara n’elu osisi ahụ.” 9 Ya mere, Mosis ji bronz kpụta agwọ
yiri otu n’ime agwọ ndị ahụ, tinye ya n’ọnụ osisi dị ogologo. Onye ọbụla kwa agwọ
ahụ tara nke welitere anya ya elu lee agwọ bronz ahụ anya, dịkwara ndụ.

### *Njem ịga obodo Moab*

10 Ụmụ Izrel biliri njem, manye ụlọ ikwu ha na Obot. 11 Ha sikwa n’Obot bilie njem,
maa ụlọ ikwu ha na Iye Abarim, n’ọzara ahụ nke chere ihu n’obodo Moab, n’ụzọ
ọwụwa anyanwụ. 12 Ha si n’ebe ahụ bilie njem, manye ụlọ ikwu ha na Ndagwurugwu
Zered. 13 Ha sitekwara n’ebe ahụ bilie njem, maa ụlọ ikwu ha n’ofe iyi Anọn nke dị
n’ọzara ruru n’oke ala ndị Amọrait. Iyi Anọn bụ oke ala Moab, n’etiti ndị Moab na
ndị Amọrait. 14 N’ihi nke a, n’Akwụkwọ Agha dị iche iche nke ONYENWE ANYỊ na-asị,
“Waheb n’ime Sufa ya na ndagwurugwu niile
Anọn 15 na mgbadata ndagwurugwu ndị ahụ
nke gbasapụrụ ruo n’ebe Ar dị,
nke tọgbọrọ n’oke ala Moab.”
16 Mgbe ahụ, ụmụ Izrel niile biliri njem bịarute Bịa bụ n’olulu mmiri ahụ ONYENWE
ANYỊ nyere Mosis iwu sị, “Kpọkọtaa ndị Izrel niile, n’ihi na m na-aga inye ha mmiri.”
17 Mgbe ahụ, ụmụ Izrel bụrụ abụ a.
“Sọpụta gị olulu mmiri!
Bụọnụ abụ banyere mmiri a!
18 Olulu mmiri ụmụ ndị eze gwuru
nke ndị ndu anyị doziri.
Mkpara eze ha na mkpara ha, ka ha ji gwuo ya.”
Emesịa, ha hapụrụ ọzara ahụ, gaa n’ihu ruo n’obodo Matana. 19 Ha si Matana jeruo
Nahaliel, si Nahaliel jeruo Bamot. 20 Sitekwa Bamot rute na ndagwurugwu ahụ dị
n’ọhịa Moab, ruo n’ugwu Pisga, nke chere ihu n’ala ahụ tọgbọrọ n’efu.

### *Mmeri e meriri Saịhọn na Ọg*

21 Ndị Izrel zipụrụ ndị ozi ka ha jekwuru Saịhọn, eze ndị Amọrait, sị ya,
22 “Biko, kwere ka anyị site n’obodo gị gafee. Anyị agaghị atụgharị banye n’ime
ala ubi gị maọbụ n’ubi vaịnị, maọbụ ṅụọ mmiri site n’olulu mmiri ọbụla dị n’ala
gị. Anyị ga-eje n’okporoụzọ eze tutu ruo mgbe anyị ga-agabiga oke ala gị.”
23 Ma Saịhọn ekweghị na ụmụ Izrel ga-esi n’oke ala ya gafee. Ọ chịkọtara ndị agha
ya niile, zọpụ ije ibu agha megide ndị Izrel n’ime ọzara ahụ. Mgbe o rutere Jehaz,
ọ lụsoro Izrel agha. 24 Ma Izrel jiri mma agha gbuo ya. Nwetara onwe ha ala ya,
site n’iyi Anọn ruo n’iyi Jabọk, gamiekwa rute n’oke ala ha na ndị Amọn, ha kwụsịrị
n’ihi n’oke ala ndị Amọn siri ike karịa. 25 Ndị Izrel lụgburu obodo niile nke ndị
Amọrait bichie n’ime ha, tinyere Heshbọn na obodo nta niile gbara ya gburugburu.
26 Heshbọn bụ isi obodo Saịhọn, eze ndị Amọrait onye busoro eze naara achị Moab
agha dọta ala ya niile n’agha ruo Anọn.

27 Ọ bụ nke a mere ndị na-arọ abụ ji kwuo sị,
"Bịa na Heshbọn ka e wukwaa ya,
ka e mee ka isi obodo eze Saịhọn guzosie ike.

28 "N'ihi na ọkụ esitela na Heshbọn pụọ.
Ire ọkụ esitela n'obodo ukwu Saịhọn,
rechapụ obodo Ar, nke dị na Moab,
ndị nwe ebe niile dị elu nke Anọn.
29 Ahụhụ dịrị gị Moab!
Ndị a lara n'iyi ka unu bụ, unu ndị Kemosh.
Ụmụ ya ndị ikom aghọọla ndị na-enweghị ebe obibi.
A dọtala ụmụ ndị inyom n'agha,
nye Saịhọn eze ndị Amọrait.

30 "Ma anyị ebibiela ha,
bibie Heshbọn ruo rịị na Dibọn,
bibie ha ruo Nofa,
ruokwa rịị Medeba."
31 Ya mere, ụmụ Izrel bichiri n'ala ndị Amọrait.
32 Emesịa, Mosis zipụrụ ndị nnyopụta ka ha ga nyochaa Jeza. Ụmụ Izrel tigburu
obodo niile dị gburugburu ya chụpụkwa ndị Amọrait bi n'ebe ahụ. 33 Mgbe ahụ, ha
chighariri gbagoo n'ụzọ gawara Bashan. Ma Ọg, eze Bashan, na ndị agha ya niile
biliri chịrị agha pụọ izute ha na Edrei.
34 Ma ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu, sị, "Atụla ya egwu n'ihi na ewerela m ya
na ndị agha ya niile, na ala ya, nyefee gị n'aka. Mee ya ihe i mere Saịhọn eze ndị
Amọrait onyeisi obodo ya bụ Heshbọn."
35 Ya mere, ha gburu ya, tinyere ụmụ ya na ndị agha ya niile, na-ahapụghị onye
ọbụla ndụ nye ha. Ha nwetakwara ala ha, biri n'ime ya.*

# 22

*Balak akpọọ Belam oku*

1 Ndị Izrel biliri njem bịarute n'obosara ala Moab. Manye ụlọ ikwu ha n'akụkụ
Jọdan ebe chere ihu n'obodo Jeriko.
2 Ma Balak nwa Zipoa ahụlarị ihe niile Izrel mere ndị Amọrait. 3 Oke ụjọ jidere ndị
Moab n'ihi na ndị Izrel dị ọtụtụ. N'ezie, oke ụjọ dị ukwuu jidere ndị Moab n'ihi ụmụ
Izrel.
4 Ndị Moab jekwuru ndị okenye Midia sị ha, "Igwe mmadụ ndị a ga-erichapụ ihe
niile gbara anyị gburugburu. Ha ga-eripịa ha dịka ehi si erichapụ ahịhịa ndụ dị
n'ala."
Ya mere, Balak nwa Zipoa, onye bụ eze ndị Moab n'oge ahụ, 5 zigara ndị ozi ya
ka ha jekwuru Belam, nwa Beoa onye bi n'obodo ya bụ Petoa, nke dị nso n'iyi ukwu
Yufretis. O ziri ya sị,
"Lee otu ndị sitere n'Ijipt pụta. Lee ka ha si kpuchie elu ala a; ugbu a, ha bi
n'akụkụ m. 6 Ugbu a, bịa ka ị bụọrọ m ha ọnụ, n'ihi na ha dị ike karịa m. Ma eleghị
anya aga m enwe ike merie ha, ma chụpụkwa ha site n'ala m. N'ihi na amaara m
na ndị ọbụla ị gọziri bụ ndị a gọziri agọzi, ndị ọbụla ị bụrụ ọnụ ga-anọgide bụrụ
ndị a bụrụ ọnụ."

---

* **21:35** 21:35 Mgbe ndị Izrel meriri eze niile ndị a n'agha, ha bichiri ala niile dị n'ọwụwa anyanwụ Jọdan. Ha bichiri ala ndị Moab ruo ọ bụladị n'ala ugwu ugwu Bashan, nke dị na mpaghara ugwu Hemon. Ndị Juu na-eme mmemme banyere mmeri a ha meriri eze Saịhọn, na Ọg. Abụ 135:10-11; 136:19-20

7 Ndị ozi o zigara bụ ndị okenye obodo Moab na Midia. Ha ji ego ịjụta ase n'aka
ha. Mgbe ha ruru, ha ziri Belam ozi Balak ziri.
8 Belam gwara ha okwu sị, "Nọdụnụ n'ebe a n'abalị a. Aga m ewetara unu ọsịsa
ọbụla Onyenwe anyị nyere m." Ya mere, ndị ozi ahụ si Moab nọnyeere ya.
9 N'abalị ahụ, Chineke bịakwutere Belam jụọ ya sị, "Ndị ikom ndị a bịara ileta gị,
ha bụ ndị ole?"
10 Belam sịrị Chineke, "Balak nwa Zipoa eze Moab zitere m ozi sị m, 11 'Otu ndị
esitela n'ala Ijipt pụta, ndị dị ukwuu n'ọnụọgụgụ. Achọrọ m ka ị bịa bụọrọ m ha
ọnụ. Ma eleghị anya aga m enwe ike lụso ha agha, ma chụpụkwa ha.' "
12 Ma Chineke sịrị Belam, "Esola ha aga! Ị gaghị abụ ndị a ọnụ, n'ihi na ha bụ ndị
a gọziri agọzi."
13 Mgbe chi bọrọ, Belam biliri gwa ndị ozi Balak sị ha, "Laghachinụ n'obodo unu
n'ihi na Onyenwe anyị ekweghị ka m soro unu."
14 Ya mere, ndị ozi Moab laghachikwuru Balak gwa ya sị, "Belam jụrụ iso anyị
lọghachi."
15 Balak nwara ike ya ọzọ. N'oge a, o zipụrụ ụmụ eze ndị dị ọtụtụ na ndị a maara
aha ha karịa ndị mbụ. 16 Ha jiri ozi a bịakwute Belam sị ya,
"Ihe a ka Balak nwa Zipoa sị anyị zie gị, Ọ sị gị ekwela ka ihe ọbụla gbochie gị
ịbịakwute m. 17 N'ihi na aghaghị ịsọpụrụ gị n'ebe ọ dị ukwuu m,* mekwaa ihe
ọbụla ị sị m mee. Naanị bịa ka ị bụọrọ m ndị a ọnụ."
18 Ma Belam zaghachiri sị, "Ọ bụrụ na Balak enye m ụlọeze ya nke juputara
n'ọlaọcha na ọlaedo, apụghị m ime ihe ọbụla dị ukwuu maọbụ nke nta ịgabiga
iwu Onyenwe anyị bụ Chineke m. 19 Ma otu ọ dị, nọọnụ ka chị bọọ dịka ndị ọzọ ahụ
mere ka m nwee ike chọpụta ma ọ dị ihe Onyenwe anyị ga-atụkwasị n'ihe o kwuru
na mbụ."
20 N'abalị ahụ, Chineke gwara Belam okwu sị ya, "Ebe ọ bụ na ndị a bịara ịkpọ gị
oku, bilie soro ha gaa, kama jikere ikwu naanị okwu m ga-etinye gị n'ọnụ."

### *Ịnyịnya ibu Belam*

21 Ya mere, mgbe chi echi ya bọrọ, Belam rigooro n'elu ịnyịnya ibu ya soro ụmụ
eze Moab gaa. 22 Ma iwe were Chineke n'ihi na ọ na-aga, ma mmụọ ozi Onyenwe
anyị guzochiri ụzọ igbochi ya. Belam na ndị odibo ya abụọ nọ na-elu ịnyịnya ibu
ya. 23 Mgbe ịnyịnya ibu ahụ hụrụ mmụọ ozi Onyenwe anyị ka o guzochiri n'ụzọ,
jide mma a mịpụtara amịpụta n'aka ya, ịnyịnya ibu ahụ chigharịrị onwe ya hapụ
okporoụzọ, tinye isi n'ọhịa. Ma Belam tiri ya ihe ịchụghachi ya n'ụzọ.
24 N'oge a, mmụọ ozi Onyenwe anyị guzochiri n'ụzọ dị warawara, nke dị n'etiti
mgbidi ogige ubi vaịnị abụọ. 25 Mgbe ịnyịnya ibu ahụ hụrụ mmụọ ozi Onyenwe anyị,
o tinyere isi n'ahụ mgbidi ogige ubi ahụ, chọọ isite n'ebe ahụ gafee. Mgbe ọ na-eme
nke a, o mere ka mgbidi ahụ chihịapụ Belam ụkwụ. Ya mere Belam tiri ịnyịnya ibu
ahụ ihe ọzọ.
26 Mgbe ahụ, mmụọ ozi Onyenwe anyị gakwara n'ihu n'okporoụzọ ahụ nọchie ụzọ
ahụ ebe dị nnọọ mkpakọta, ebe ịnyịnya ibu ahụ na-agaghị enwe ike gafee, maọbụ
ichigharị aka nri maọbụ aka ekpe. 27 N'ihi nke a, mgbe ịnyịnya ibu ahụ hụrụ mmụọ
ozi Onyenwe anyị o dinara ala n'okporoụzọ. N'oke iwe, Belam ji mkpara dị ya n'aka
tie ya ihe ọzọ. 28 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị mere ka ịnyịnya ibu ahụ kwuo okwu. Ọ
jụrụ Belam ajụjụ sị, "Gịnị ka m mere gị i ji tie m ihe ugboro atọ?"
29 Belam zara ịnyịnya ibu ahụ sị, "Ọ bụ n'ihi na i meela ka m dị ka onye nzuzu!
N'ezie, a sị na m ji mma agha n'aka m, agaara m egbu gị."

* **22:17** 22:17 Nke a bụ ịkwụ ya ụgwọ dị mma

30 Ịnyịnya ibu ahụ gwara Balam okwu ọzọ sị ya, “Ọ bụ na mụ onwe m abụghị
ịnyịnya ibu gị nke ị na-anọ n’elu ya ogologo oge ndị a niile? Ọ dịla mgbe m si otu a
meso gị omume n’ime ndụ m niile?”
Belam zara sị ya, “Ee.”
31 Mgbe ahụ ka ONYENWE ANYỊ meghere anya Belam. Ọ hụrụ mmụọ ozi ONYENWE
ANYỊ ka o ji mma agha ya guzochie ụzọ. Belam dara n’ala, gbatịa onwe ya n’ala n’ihu
ya.
32 Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ ahụ jụrụ Belam ajụjụ sị, “Gịnị mere i ji tie ịnyịnya
ibu gị ihe ugboro atọ? Abịara m igbochi gị ka ịla n’iyi dị na-eche gị ghara irute gị.
33 Ugboro atọ ka ịnyịnya ibu a hụrụ m, ma site n’ihu m wezuga onwe ya. A sị na ọ
bụghị ntụgharị ọ tụgharịrị site n’ebe m nọ, n’ezie, ugbu a, a gara m egbu gị ma hapụ
ịnyịnya ibu gị ndụ.”
34 N’oge a, Belam sịrị mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ, “Emehiela m. Amaghị m na i guzo
n’ụzọ igbochi m. Ọ bụrụ iwe na-ewe gị, ejikeere m ịlaghachi azụ.”
35 Ma mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ sịrị Belam, “Soro ndị ikom a gaa, ma kwuo naanị
ihe m sị gị kwuo.” Ya mere, Belam soro ndị ozi eze Balak gaa.
36 Mgbe Balak nụrụ na Belam nọ n’ụzọ na-abịa, ọ pụrụ gaa izute Belam n’otu obodo
Moab nke dị n’ọnụ mmiri Anọn, nke dị na ngwụcha oke ala ya. 37 Mgbe ọ bịarutere,
Balak jụrụ Belam ajụjụ sị ya, “Eziri m gị ozi ka ị bịa ngwangwa, gịnị mere ị bịaghị?
Ọ bụ na m enweghị ike ịsọpụrụ gị?”
38 Belam zaghachiri, “Lee, Abịakwutelam gị ugbu a, ma enweghị m ike ikwu ihe
ọbụla dị m mma. Ọ bụ naanị ihe Chineke tinyere m n’ọnụ ka m ga-ekwu.”
39 Belam sooro Balak gaa Kiriat Huzot. 40 Balak jiri ehi na atụrụ chụọ aja. O nyere
Belam ụfọdụ, nyekwa ma ndị ozi eze ndị ya na ha nọ n’ebe ahụ. 41 N’ụtụtụ echi ya,
Balak kpọọrọ Belam, duru ya rigoo Bamot Baal.† O sitere n’ebe ahụ hụ nsọtụ ọmụma
ụlọ ikwu ndị Izrel.

# 23

*Amụma Belam nke mbụ*

1 Belam sịrị, “Wuoro m ebe ịchụ aja asaa n’ebe a. Kwadokwaara m oke ehi asaa
na ebule asaa.” 2 Balak mezuru dịka Belam gwara ya. Ha abụọ gburu otu oke ehi na
otu nwa ebule n’ebe ịchụ aja asaa ahụ n’otu na otu.
3 Mgbe ahụ, Belam gwara Balak sị, “Guzoro n’ebe a n’akụkụ aja gị ka m gaa n’ihu
chọpụta ma eleghị anya ONYENWE ANYỊ ga-ezute m. Aga m agwa gị ihe ọbụla o
kpughere m.” Ya mere, Belam rigooro n’ebe ọhịa na-adịghị.
4 Chineke zutere ya n’ebe ahụ. Belam gwara ya sị, “Edoziela m ebe ịchụ aja asaa,
gbukwaa otu oke ehi na otu ebule n’elu ha niile n’otu na otu.”
5 N’oge a, ONYENWE ANYỊ tinyere Belam ozi n’ọnụ sị ya, “Laghachi gaa zie Balak ozi
a.”
6 Mgbe Belam lọghachiri ọ hụrụ ya ka o guzoro n’akụkụ ihe aja ya ndị ahụ, ya na
ndịisi Moab niile. 7 Nke a bụ ozi Belam ziri:
“Balak esitela n’obodo Aram kpọta m.
Eze Moab esitela n’ọwụwa anyanwụ nke ugwu ahụ kpọta m.
Ọ sịrị m, bịa bụọrọ m Jekọb ọnụ
bịa kwutọọ Izrel.
8 M ga-esi aṅaa bụọ
onye Chineke na-abụghị ọnụ ọnụ?
M ga-esi aṅaa
kọchaa onye ONYENWE ANYỊ na-akọchaghị?

† 22:41 22:41 Baal aha nke pụtara onye nzọpụta bụ chi egbe eluigwe nke ndị ala Siria na Kenan.

9 Esitela m n’elu nkume ndị a hụ ha.
Elegidere m ha anya site n’ugwu ahụ,
hụ na ha bụ ndị biri onwe ha,
ndị dị iche site n’etiti mba niile ọzọ.
10 Onye pụrụ ịgụta ole uzuzu Jekọb dị?
Maọbụ gụta ole otu ụzọ n’ime nkewa anọ nke Izrel dị.
Ọ ga-atọ m ụtọ ịnwụ ụdị ọnwụ ndị na-eme ezi omume.
Ka ọgwụgwụ ndụ m bụrụ ihe nwere ike iyi nke ha!”
11 Balak sịrị Belam, “Gịnị bụ ihe a i mere m? Akpọtara m gị ka ị bụọrọ m ndị iro
m ọnụ, ma ugbu a, ọ dịghị ihe ọzọ i mere karịa naanị ịgọzi ha!”
12 Ma Belam zaghachiri sị ya, “Ọ bụghị ihe ONYENWE ANYỊ tinyere m n’ọnụ ka m
ga-ekwu?”

*Amụma Belam nke abụọ*

13 Mgbe ahụ, Balak sịrị ya, “Soro m bịa n’ebe ọzọ ebe ị ga-ahụ ha; ọ bụ naanị nsọtụ
ọmụma ụlọ ikwu ha ka ị ga-ahụ, ị gaghị ahụ ha niile. Site n’ebe ahụ bụọrọ m ha
ọnụ.” 14 Ya mere, eze Balak duuru Belam gaa n’ọhịa Zofim, n’elu ugwu Pisga, wuo
ebe ịchụ aja asaa n’ebe ahụ. O jikwa otu oke ehi, otu oke ehi, na otu ebule, otu ebule,
chụọ aja n’ebe ịchụ aja ndị ahụ.
15 Belam sịrị Balak, “Guzoro n’ebe a n’akụkụ ihe aja gị, ebe mụ onwe m ga-ezute
ya n’ofe nke ọzọ.”
16 Ma ONYENWE ANYỊ zutere Belam gwa ya ihe ọ ga-ekwu sị ya, “Laghachikwuru
Balak zie ya ozi a.”
17 Ya mere, ọ lọghachiri azụ n’ebe ahụ Balak na ụmụ eze Moab guzoro n’akụkụ
ihe aja ha. Balak jụrụ ya sị, “Gịnị ka ONYENWE ANYỊ sịrị?”
18 Ma Belam zaghachiri sị ya:
“Bilie ọtọ Balak, nụrụ ozi.
Ṅaa ntị n’okwu m, gị nwa Zipoa.
19 Chineke agaghị agha ụgha, n’ihi na ọ bụghị mmadụ.
Ọ gaghị agbanwe obi ya, n’ihi na ọ bụghị nwa mmadụ.
O kwuola okwu, ma ghara ime ihe o kwuru?
O kwela nkwa ma ghara imezu nkwa o kwere?
20 Chineke enyela m iwu sị m gọzie ha.
Ọ gọziela ha, a pụghịkwa ịgbanwe ya!

21 “O nweghị ajọ ihe nke ahụrụ n’ime Jekọb,
ahụghịkwa mwute ọbụla n’Izrel.
ONYENWE ANYỊ Chineke ha nọnyeere ha.
Iti mkpu nke Eze dịkwa n’etiti ha.*
22 Chineke kpọpụtara ha site n’Ijipt.
Ha dị ike dịka ehi ọhịa.
23 Ọ dịghị mgbaasị ga-emegide ha.
Ọ dịkwaghị ịgba afa a pụrụ iji megide Izrel.
N’ihi na ugbu a, ihe dị otu a ka a ga-ekwu banyere Jekọb
na Izrel. ‘Lee, ihe Chineke mere ha.’
24 Ha na-ebili ọtọ dịka nne ọdụm,
ha na-enugharị onwe ha dịka ọdụm,
nke na-adịghị edina ala tutu o richaa ihe o gburu,
ma ṅụọkwa ọbara ihe ahụ o tigburu!”

* **23:21** 23:21 Maọbụ, Ọ bụ eze ha!

25 Mgbe ahụ, Balak sịrị Belam, "Abụla ha ọnụ ma ọlị, ma ọ bụkwanụ gọzie ha ma ọlị."
26 Ma Belam zaghachiri, "Ọ bụ na m agwaghị gị, ihe ọbụla nke ONYENWE ANYỊ ga-ekwu ka m ga-eme?"

### *Amụma Belam nke atọ*

27 Mgbe ahụ, Balak sịrị Belam, "Bịa, aga m akpọrọ gị gaa n'ebe ọzọ. Eleghị anya ọ
ga-amasị Chineke ka i si n'ebe ahụ bụọrọ m ha ọnụ." 28 Ya mere, Balak duuru Belam
gaa n'elu ugwu Peoa nke na-elegide ọzara ahụ anya.
29 Belam gwara Balak okwu sị ya, "Wuoro m ebe ịchụ aja asaa ọzọ. Doziekwa ụmụ
oke ehi asaa na ebule asaa e ji achụ aja." 30 Balak mere dịka Belam gwara ya. O ji
otu oke ehi na otu ebule chụọ aja n'ebe ịchụ aja ahụ n'otu na otu.

## 24

1 N'oge a, Belam aghọtala n'uche ya na ọ masịrị ONYENWE ANYỊ ịgọzi Izrel. Ya mere,
ọ họrọghị ịgba afa dịka o mere n'oge ndị gara aga, kama o chere ihu ya n'ọzara.
2 Mgbe Belam lepụrụ anya ọ hụrụ ụmụ Izrel dịka ha si maa ụlọ ikwu n'ebo n'ebo.
Mgbe ahụ kwa, Mmụọ nke Chineke dakwasịrị ya. 3 O buru amụma ndị a sị,
"Okwu si n'ọnụ Belam nwa Beoa pụta,
okwu onye ahụ anya ya saghere asaghe.
4 Okwu onye ahụ na-anụ okwu Chineke
onye na-ahụ ọhụ site n'aka onye pụrụ ime ihe niile.
Onye na-ada n'ala ma anya ya na-eghe oghe.

5 "Lee ka ebe obibi gị si maa mma, gị Jekọb,
ebe obibi gị niile, gị Izrel!

6 "Dịka ndagwurugwu dị iche iche ka ha gbasapụrụ,
dịka ubi a gbara ogige dị n'akụkụ osimiri,
dịka osisi aloos nke ONYENWE ANYỊ kụrụ,
dịka osisi sida dị n'akụkụ mmiri.
7 Mmiri ga-esi n'ite mmiri ha na-erupụta,
mkpụrụ ha ga-enwekwa mmiri dị ukwuu.

"Eze ha ga-adị ukwuu karịa Agag,
a ga-ebulikwa alaeze ha elu.

8 "Chineke sitere n'ala Ijipt kpọpụta ha.
Ha nwere ike dịka atụ.
Ha ga-eripịa mba niile na-ebili imegide ha.
Ha ga-anyajisi ọkpụkpụ ha niile,
jirikwa ọtụtụ àkụ ha gbatuo ha.
9 Ha na-amakpuru, dinara ala dịka ọdụm,
dịka nne ọdụm, onye pụrụ ịkpọte ha?

"Ngọzị na-adịrị onye ọ bụla na-agọzi gị,
ma ọbụbụ ọnụ na-adịrị onye ọbụla na-akọcha gị."
10 Iwe Balak dị ọkụ megide Belam n'oge a. Ọ kụkọtara aka ya abụọ n'iwe. Tie
mkpu sị Belam, "Akpọrọ m gị ka ị bịa bụọrọ m ndị iro m ọnụ. Ma ị gọziela ha ugboro
atọ a. 11 Si n'ebe m nọ wezuga onwe gị! Laghachi n'ụlọ gị! Akwadobere m inye gị
ọnọdụ dị elu, ma ONYENWE ANYỊ e gbochiela gị inweta ụgwọ ọrụ a."

12 Belam zara Balak sị, "Ọ bụ na m agwaghị ndị ozi gị niile, bụ ndị ị zitere m, 13 'na
a sịkwarịị na Balak enye m ọlaọcha na ọlaedo niile nke dị n'ụlọeze ya, apụghị m ime
ihe ọbụla n'ike aka, maọbụ ihe ọma maọbụ ihe ọjọọ, ị gabiga iwu ONYENWE ANYỊ. Ọ
bụkwa naanị ihe ONYENWE ANYỊ na-ekwu ka m ga-ekwu'? 14 Ugbu a, ana m alakwuru
ndị m, ma bịa, ka m dọọ gị aka na ntị banyere ihe ndị a ga-eme ndị gị n'ụbọchị ndị
a na-abịa n'ihu."

*Amụma Belam nke anọ*

15 Ya mere Belam kwuru okwu ndị a:
"Amụma Belam nwa Beoa,
amụma nke onye ahụ anya ya n'ahụ ụzọ nke ọma,
16 amụma onye ahụ nke na-anụ okwu Chineke,
onye ihe ọmụma ya si n'ebe Onye kachasị ihe niile elu na-abịa.
Onye na-ahụ ọhụ site n'aka Onye pụrụ ime ihe niile.
Onye na-ada n'ala, ma anya ya abụọ ghekwa oghe.

17 "Ana m ahụ ya, ma ọ bụghị ugbu a,
ana m ele ya anya, ma ọ nọghị nso.
Otu kpakpando ga-esi n'ime Jekọb zolie.
Mkpara eze ga-esi n'etiti Izrel bilie.
Ọ ga-etipịa egedege ihu ndị Moab,
na okpokoro isi ndị ikom Shet niile.
18 A ga-emeri Edọm,*
Sia, onye iro ya, ka a ga-emeri n'agha.
Ma Izrel ga-eto, ghọọ onye dị ike.
19 Otu onye ọchịchị ga-esi na Jekọb pụta.
Bibie ndị niile fọdụrụ n'obodo ahụ."

*Amụma Belam nke ise*

20 Mgbe ahụ, Belam lepụrụ anya legide ụlọ ndị Amalek niile, buo amụma banyere
ha sị:
"Amalek bụ mba mbụ n'etiti mba niile,
ma ikpeazụ ya bụ mbibi!"

*Amụma Belam nke isii*

21 Ọ hụrụ ndị Ken anya, kwuo okwu ya:
"E, i bi ugbu a n'ebe e wusiri ike,†
akwụ gị dị n'ime oke nkume ahụ!
22 Ma, a ga-ebibi unu ndị Ken niile,
mgbe Ashọ ga-adọta unu n'agha."

*Amụma Belam nke asaa*

23 Ndị a bụ okwu o ji mechie amụma ya:
"Onye ga-adị ndụ mgbe Chineke ga-eme ihe ndị a?
24 Ụgbọ mmiri ga-esi n'ọnụ mmiri Saiprọs bịa.
Ha ga-eji ike dobe ndị Eba‡ na ndị Ashọ n'okpuru ha,
ma a ga-ebibikwa ha onwe ha."
25 Emesịa, Belam biliri laghachi n'ụlọ ya, ma Balak gbasoro ụzọ nke ya.

---

* **24:18** 24:18 Ndị Edọm si n'agbụrụ Ịsọ. Jen 36:1-9 † **24:21** 24:21 Ya bụ nke n'adịgide adịgide ‡ **24:24** 24:24 Eba bụ nna nna ndị Hibru. Jen 10:21; 1Ih 1:25-27

# 25

*Moab emee ka Izrel mehie*
1 Mgbe Izrel bi na Shitim, ndị ikom ha malitere isoro ndị inyom Moab na-akwa iko.
2 Ndị inyom a kpọrọ ha ka ha bịa soro na mmemme ịchụ aja nye chi ha niile. Ndị Izrel
riri nri ihe aja ahụ, kpọọkwa isiala nye chi ndị a niile. 3 Ya mere, ndị Izrel sonyere
na-akpọ isiala nye chi Baal nke Peoa.* Nke a mere ka iwe ONYENWE ANYỊ nwuru ọkụ
megide ha.
4 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, "Duru ndị ndu ebo niile nke Izrel gbuo ha
ma kwụnye ha n'osisi n'ihu ONYENWE ANYỊ n'etiti ehihie, ka oke iwe ONYENWE ANYỊ
dị ọkụ ghara ịbịakwasị ndị Izrel."
5 Ya mere, Mosis sịrị ndị ọkaikpe Izrel, "Onye ọbụla n'ime unu aghaghị igbu ndị
unu, bụ ndị jikọtara onwe ha na Baal nke Peoa."
6 Mgbe ahụ, otu nwoke onye Izrel kpọbatara n'ime ụlọ ikwu otu nwanyị onye
Midia, n'ihu Mosis na nzukọ Izrel niile, mgbe ha niile nọ na-akwa akwa n'ọnụ ụzọ
ụlọ nzute ahụ. 7 Mgbe Finehaz na Elieza, nwa Erọn, onye nchụaja hụrụ ihe a, ọ
hapụrụ ọgbakọ Izrel. O were ùbe n'aka ya, 8 soro nwoke ahụ baa n'ime ụlọ, ebe
ya na nwaagbọghọ ahụ dina. Ọ mara ha ùbe ahụ, nke si n'ahụ nwoke ahụ gafee
mikpuo n'afọ nwaagbọghọ ahụ. Nke a mere ka ihe otiti ahụ na-emegide ndị Izrel
kwụsị. 9 Ma tupu ihe otiti ahụ akwụsị, ndị mmadụ ọnụọgụgụ ha ruru iri puku abụọ
na anọ (24,000) anwụọlarị.
10 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 11 "Finehaz nwa Elieza, nwa Erọn, onye
nchụaja, emeela ka iwe m megide Izrel dajụọ. N'ihi na o nwere ịnụ ọkụ n'obi dịka
mụ onwe m banyere idebe nsọpụrụ m nsọ n'etiti ha, ka m ghara isite n'ịnụ ọkụ nke
obi m bibie ha. 12 Ya mere, gwa ya, na m na-eme ka ọgbụgba ndụ udo m dịrị ya.
13 Ya na ụmụ ụmụ ya ka ọgbụgba ndụ ebighị ebi nke ịrụ ọrụ nchụaja ga-adịrị, n'ihi
na o nwere ịnụ ọkụ n'obi banyere nsọpụrụ nke Chineke ya, si otu a chụọrọ ndị Izrel
aja ikpuchi mmehie."
14 Aha nwoke Izrel ahụ e gburu ya na nwanyị onye Midia ahụ bụ Zimri, nwa Salu,
onyendu otu ezinaụlọ n'ebo Simiọn. 15 Aha nwanyị Midia ahụ e gburu bụ Kozbi, nwa
nwanyị Zua, onye bụ otu n'ime ndịisi ezinaụlọ na Midia.
16 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 17 "Mesoo ndị Midia mmeso dịka ndị iro.
Gbukwaa ha. 18 N'ihi na ha mesoro unu mmeso dịka ndị iro mgbe ha ji ụzọ aghụghọ
ghọgbuo unu n'okwu Peoa, na n'okwu Kozbi nwanne ha nwanyị, bụ nwa nwanyị
otu n'ime ndịisi Midia, onye e gburu mgbe ihe otiti ahụ bịara n'ihi okwu Peoa."

# 26

*Ịgụ ọnụ nke ugboro abụọ*
1 Mgbe ihe otiti ahụ niile gasịrị, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis na Elieza nwa Erọn,
onye nchụaja okwu sị ha, 2 "Gaanụ gụọ, chọpụta ọnụọgụgụ nzukọ niile nke ụmụ
Izrel dịka ezinaụlọ ha si dị; ndị niile gbara iri afọ abụọ gafee. Chọpụta ọnụọgụgụ
ndị nwere ike ije agha." 3 Ya mere, na mbara ala Moab, n'akụkụ osimiri Jọdan, na
ncherita ihu Jeriko, ka Mosis na Elieza onye nchụaja nọ gwa ha okwu sị ha, 4 "Gụọnụ
ndị ikom gbara iri afọ abụọ gafee ọnụ, dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu."

Ndị a bụ ndị Izrel si Ijipt pụta:

5 Ụmụ ụmụ Ruben, ọkpara Izrel, bụ ndị a:
site na Hanok, ikwu Hanok,

---

* **25:3** 25:3 Ha sitere n'ịkpọ isiala kekọta onwe ha n'ahụ Baal-Peoa.

site na Palu, ikwu Palu,
6 site na Hezrọn, ikwu Hezrọn
site na Kami, ikwu Kami
7 Ndị a bụ agbụrụ Ruben. Ọnụọgụgụ ha dị iri puku anọ, puku atọ na narị asaa na iri atọ (43,730).
8 Nwa Palu bụ Eliab, 9 ụmụ Eliab bụ Nemuel, Datan na Abiram. Datan na Abiram
bụ ndị ndu ọgbakọ ahụ nupuru isi megide Mosis na Erọn. Ha sonyere ndị ahụ
so Kora mgbe ha nupuru isi megide ONYENWE ANYỊ. 10 Ala meghere ọnụ ya, loo
ha na Kora, ma ọkụ rechapụrụ narị mmadụ abụọ na iri ise ndị ọzọ ahụ sonyere
ha. Ọnwụ ha ghọrọ ihe ịdọ aka na ntị. 11 Otu ọ dị, ndị niile si n'ezinaụlọ Kora
anwụchaghị.

12 Ụmụ ụmụ Simiọn dịka ikwu ha si dị bụ,
site na Nemuel, ikwu Nemuel,
site na Jamin, ikwu Jamin,
site na Jakin, ikwu Jakin,
13 Site na Zera, ikwu Zera,
site na Shaul, ikwu Shaul.
14 Ndị a bụ ndị agbụrụ Simiọn. Ọnụọgụgụ ndị ikom ha dị iri puku abụọ, puku abụọ na narị abụọ (22,200).

15 Ụmụ ụmụ Gad dịka ikwu ha si dị bụ ndị a:
ikwu Zefọn, site na Zefọn,
ikwu Hagi, site na Hagi,
ikwu Shuni, site na Shuni,
16 ikwu Ozni, site na Ozni,
ikwu Eri, site na Eri,
17 ikwu Arodi, site na Arodi,
ikwu Areli, site na Areli,
18 Ndị a bụ agbụrụ Gad. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku anọ na narị ise (40,500).

19 Ụmụ ndị ikom Juda abụọ, Ịa na Onan, nwụrụ n'ala Kenan.
20 Ma ụmụ ụmụ Juda ndị ọzọ, dịka ikwu ha dị iche iche si dị bụ ndị a:
ikwu Shela, site na Shela,
ikwu Perez, site na Perez,
ikwu Zera, site na Zera.
21 Ikwu abụọ ọzọ si n'agbụrụ Perez bụ ndị a:
Ikwu Hezrọn, site na Hezrọn,
Ikwu Hamul, site na Hamul.
22 Ndị a bụ agbụrụ Juda. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku asaa, puku isii na narị ise (76,500).

23 Ụmụ ụmụ Isaka dịka ikwu ha si dị bụ ndị a:
ikwu Tola, site na Tola,
ikwu Pua, site na Pua
24 ikwu Jashub, site na Jashub,
ikwu Shịmrọn, site na Shịmrọn.
25 Ndị a bụ agbụrụ Isaka. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku isii, puku anọ na narị atọ (64,300).

26 Ụmụ ụmụ Zebụlọn dịka ikwu ha si dị bụ ndị a:
ndị Sered, site n'ikwu Sered,

ndị Elọn, site n’ikwu Elọn,
ndị Jaliil, site n’ikwu Jaliil.
27 Ndị a bụ agbụrụ Zebụlọn. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku isii na narị ise (60,500).

28 Ụmụ ụmụ Josef dịka ha si dị n’agbụrụ Manase na Ifrem bụ ndị a:
29 Ụmụ ụmụ Manase bụ ndị a:
ndị Makia, site n’ikwu Makia. Makia bụ nna Gilead.
Ikwu Gilead, site na Gilead.
30 Ndị a bụ ụmụ ụmụ Gilead:
ikwu Leza, site na Leza,
ikwu Helek, site na Helek.
31 Ikwu Asriel, site na Asriel.
Ikwu Shekem, site na Shekem.
32 Ikwu Shemida, site na Shemida,
ikwu Hefa, site na Hefa.
33 (Hefa mụtara nwoke a na-akpọ Zelofehad. Ma Zelofehad amụtaghị nwoke ọbụla kama ndị inyom ndị a ka ọ mụtara, Mahla, na Noa, na Hogla, na Milka, na Tịaza.)
34 Ndị a bụ agbụrụ Manase. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku ise, puku abụọ na narị asaa (52,700).
35 Ndị a bụ ụmụ ụmụ Ifrem dịka ikwu ha si dị:
ikwu Shutela site na Shutela,
ikwu Beka site na Beka,
ikwu Tahan site na Tahan.
36 Ndị a bụ ụmụ ụmụ Shutela:
ikwu Eran site na Eran.
37 Ndị a bụ agbụrụ Ifrem. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku atọ, puku abụọ na narị ise (32,500).
Ndị a bụ ụmụ ụmụ Josef dịka ikwu ha si dị.

38 Ndị a bụ ụmụ ụmụ Benjamin dịka ikwu ha si dị:
ikwu Bela site na Bela,
ikwu Ashbel site Ashbel,
ikwu Ahiram site na Ahiram.
39 Ikwu Shufam site na Shufam,
ikwu Hufam site na Hufam.
40 Ụmụ ụmụ Bela site na Aad, na Naaman bụ,
ikwu Aad site na Aad,
ikwu Neeman site na Neeman.
41 Ndị a bụ agbụrụ Benjamin. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku anọ, puku ise na narị isii (45,600).

42 Ụmụ ụmụ Dan dịka ikwu ha si dị bụ ndị a:
ikwu Shuham, site na Shuham.
Ndị a bụ naanị ikwu dị na Dan.
43 Ha niile si n’agbụrụ Shuham. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku isii, puku anọ na narị anọ (64,400).

44 Ụmụ ụmụ Asha dịka ikwu ha si dị bụ ndị a:
ikwu Imna site na Imna,
ikwu Ishvi, site na Ishvi,
ikwu Beriya, site na Beriya.
45 Ikwu e nwere site n’ụmụ ụmụ Beriya bụ ndị a:

ikwu Heba, site na Heba,
ikwu Malkiel, site na Malkiel.
46 Asha mụtakwara otu nwa nwanyị aha ya bụ Sera.
47 Ndị a bụ agbụrụ Asha. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku ise, puku atọ na narị anọ (53,400).

48 Ụmụ ụmụ Naftalị dịka ikwu ha si dị bụ ndị a:
ikwu Jaziil, site na Jaziil,
ikwu Guni, site na Guni,
49 ikwu Jeza, site na Jeza,
ikwu Shilem, site na Shilem.
50 Ndị a si n'agbụrụ Naftalị. Ndị a gụrụ ọnụ dị iri puku anọ, puku ise na narị anọ (45,400).

51 Ya mere, ọnụọgụgụ ndị ikom niile tozuru ije agha n'Izrel dị narị puku isii, otu puku na narị asaa, na iri atọ (601,730).

52 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYị gwara Mosis okwu sị ya, 53 "Ị ga-ekenye ha ala ahụ
ka ọ bụrụ ihe nketa ha dịka ọnụọgụgụ aha ha si dị. 54 Ndị dị ukwuu n'ọnụọgụgụ
ga-eketa ala dị ukwuu, ma ndị dị nta ga-eketa ala dị nta. Ihe nketa nke onye ọbụla
ga-enweta ga-adị ka ọnụọgụgụ ahụ e dere. 55 Lezie anya hụ na e kesara ala ahụ site
n'ife nza. Ala ndị ọbụla ga-eketa ga-abụ dịka aha nna ochie ebo ha si dị. 56 A ga-esite
n'ife nza kenye ndị ọbụla ihe nketa nke ha dịka ịdị ukwuu maọbụ ịdị nta ha si dị."

57 Ndị a bụ ndị Livayị a gụrụ ọnụ dịka ikwu ha si dị,
ikwu Geshọn, site na Geshọn,
ikwu Kohat, site na Kohat,
ikwu Merari, site na Merari.
58 Ndị a sikwa n'agbụrụ Livayị:
ikwu Libni,
ikwu Hebrọn,
ikwu Mahali,
ikwu Mushi, na
ikwu Kora.
(Kohat bụ nna nna Amram. 59 Aha nwunye Amram bụ Jekobed, nwa nwa Livayị,
onye a mụrụ n'agbụrụ ndị Livayị n'Ijipt. Ọ mụtaara Amram ụmụ ndị a: Erọn
na Mosis, na Miriam, nwanne ha nwanyị. 60 Erọn mụtara Nadab, na Abihu, na
Elieza, na Itama. 61 Ma Nadab na Abihu nwụrụ mgbe ha chere ọkụ na-adịghị
nsọ n'ihu ONYENWE ANYị.)

62 Ọnụọgụgụ ụmụ ndị ikom Livayị niile dị otu ọnwa gaa n'ihu dị iri puku abụọ na puku atọ (23,000). Ma a gụnyekọghị ọnụọgụgụ agbụrụ Livayị n'ọnụọgụgụ ndị Izrel, n'ihi na agbụrụ Livayị enweghị oke ọbụla mgbe e kenyere agbụrụ Izrel niile ihe nketa ha.

63 Ya mere, ndị a bụ nchọpụta ọnụọgụgụ ụmụ Izrel, dịka Mosis na Elieza onye
nchụaja kwadobere gụọ na mbara ala Moab, n'akụkụ osimiri Jọdan, na ncherita ihu
obodo Jeriko. 64 Ma n'etiti ndị a, o nweghị otu onye ọbụla Mosis na Erọn onye nchụaja
gụrụ n'ọnụọgụgụ mgbe ha gụrụ ndị Izrel ọnụ n'ọzara Saịnaị. 65 N'ihi na ONYENWE
ANYị gwara ndị Izrel ahụ na ha ga-anwụ n'ime ọzara ahụ. Naanị ndị a hapụrụ ndụ
bụ Kaleb, nwa Jefune, na Joshua nwa Nun.

# 27

*Ụmụ ndị inyom Zelofehad*

1 Ụmụ ndị inyom Zelofehad nwa Hefa, nwa Gilead, nwa Makia, nwa Manase bụ ndị
si n'agbụrụ Manase nwa Josef. Aha ndị inyom ndị a bụ: Mahla, Noa, Hogla, Milka
na Tịaza. Ha bịara, 2 n'ọnụ ụzọ ụlọ nzute, guzo n'ihu Mosis, na Elieza onye nchụaja,
na ndị ndu niile na ọgbakọ Izrel niile kwuo sị, 3 "Nna anyị Zelofehad nwụrụ n'ọzara
ma ọ bụghị otu n'ime ndị sonyere Kora, bụ ndị ahụ zukọtara megide Onyenwe anyị.
Ọ nwụrụ ọnwụ n'ihi mmehie nke ya. Ma otu ọ dị, ọ mụtaghị nwoke. 4 Gịnị ga-eme a
ga-eji hichapụ aha nna anyị site n'agbụrụ ya n'ihi na ọ mụtaghị nwoke? Ọ bụ uche
anyị na e kwesiri ikenye anyị oke n'oge a na-enye ụmụnne nna anyị oke."
5 Ya mere, Mosis butere mkpa ha n'ihu Onyenwe anyị. 6 Ma Onyenwe anyị
zaghachiri Mosis sị ya, 7 "Ihe ụmụ Zelofehad na-ekwu ziri ezi. Ị ghaghị ikenye ha
oke n'etiti ụmụnne nna ha, ma nyefeekwa ha oke ruru nna ha.
8 "Gwa ndị Izrel sị ha, 'Ọ bụrụ na nwoke ọbụla anwụọ na-amụtaghị nwoke, oke
niile ruru ya ga-alara nwa ya nwanyị. 9 Ma ọ bụrụ na ọ mụtaghị nwa nwanyị, oke
ruru ya ga-alara ụmụnne ya ndị nwoke. 10 A sịkwa na o nweghị ụmụnne ndị nwoke,
mgbe ahụ oke ya ga-alara ụmụnne nna ya ndị nwoke. 11 Ọ bụrụkwa na o nweghị
ndị nwoke bụ ụmụnne nna ya, mgbe ahụ ihe nketa ya ga-alara onye dịkarịrị ya nso
n'ikwu ya, ka ọ bụrụ nke ya. Nke a bụ iwu dịrị ndị Izrel niile dịka Onyenwe anyị si
nye ya Mosis n'iwu.' "

*Joshua aghọọ onyendu*

12 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị ya: "Gaa rigoro n'ugwu Abarim
site n'ebe ahụ lefee anya n'ofe mmiri Jọdan leruo ala ahụ nke m nyere ụmụ Izrel
anya. 13 Mgbe i lechasịrị ya, ị ga-anwụ dịka nwanne gị Erọn nwụrụ. 14 N'ihi na unu
nupuru isi nye okwu m n'ọzara Zin, mgbe ọgbakọ ụmụ Izrel sesịrị m okwu. Unu
abụọ nupuru isi n'iwu m ido m nsọ n'ihu ha." (Ndị a bụ mmiri Meriba Kadesh, nke
dị n'ọzara Zin.)
15 Mosis zara Onyenwe anyị sị ya, 16 "Ka Onyenwe anyị, Chineke nwe mmụọ nke
mmadụ niile, họpụta onyendu ga-elekọta ọgbakọ a. 17 Onye ga na-apụ na-abatakwa
n'ihu ha, onye ga na-edu ha pụọ, duru ha batakwa, ka ndị Onyenwe anyị ghara ịdị
ka atụrụ na-enweghị onye ọzụzụ."
18 Ya mere, Onyenwe anyị sịrị Mosis, "Kpọrọ Joshua, nwa Nun, onye nwere mmụọ
Chineke n'ime ya, bikwasị ya aka gị. 19 Mee ka o guzo n'ihu Elieza onye nchụaja,
nakwa n'ihu ọgbakọ niile, nyefee ya ọrụ nke ịbụ onyendu n'ihu ha. 20 Nyekwa ha
ụfọdụ ikike* gị, ka nzukọ niile nke ụmụ Izrel nwee ike rubere ya isi. 21 Ma ya onwe
ya ga-eguzo n'ihu Elieza onye nchụaja, onye ga-ajụrụ ya ase site na mkpebi Urim
n'ihu Onyenwe anyị. Ọ bụ site n'okwu ọnụ ya ka ha ga-apụ, site n'okwu ọnụ ya ka
ha ga-ana abata. Ma ya onwe ya, ma ndị Izrel niile, tinyekwara nzukọ niile."
22 Ya mere, Mosis mere dịka Onyenwe anyị nyere ya iwu. O duuru Joshua mee ka o
guzo n'ihu Elieza onye nchụaja na ọgbakọ niile. 23 Mosis bikwasịrị aka ya abụọ n'isi
Joshua, rara ya nyefee maka ije ozi ahụ niile dịka Onyenwe anyị nyere Mosis n'iwu.

# 28

*Aja nke ụbọchị niile*

1 Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị ya, 2 "Nye ndị Izrel iwu a sị ha, 'Lezienụ anya
hụ na unu na-eche n'ihu m, n'oge niile a kara aka, nri ahụ a na-enye maka onyinye
m a na-enye site n'ọkụ, nke isisi ya na-adị m ezi mma.' 3 Sị ha, 'Nke a bụ onyinye unu

* **27:20** 27:20 Maọbụ, ebube nke ya na ikike so

na-enye site n’ọkụ nke unu na-eche n’ihu ONYENWE ANYỊ: ụmụ atụrụ abụọ gbara otu
afọ, nke na-enweghị ntụpọ, ka e jiri ha chụọ aja nsure ọkụ kwa ụbọchị niile. 4 Chụọ
otu nwa atụrụ n’oge ụtụtụ, chụọkwa nke ọzọ n’oge uhuruchi. 5 Ị ga-ejikwa lita ụtụ
ọka abụọ a kwọziri akwọzi nke a gwọkọtara n’otu lita mmanụ oliv asụrụ asụ, chụọ
aja mkpụrụ ọka. 6 Nke a bụ aja nsure ọkụ ahụ ONYENWE ANYỊ nyere iwu ya n’ugwu
Saịnaị na a ga na-achụrụ ya mgbe niile, dịka aja isisi ya dị ezi mma, aja nke a chụrụ
site n’ọkụ nye ONYENWE ANYỊ. 7 Mmanya ga-eso aja a ga-abụ otu lita mmanya gbara
ụka n’isi otu atụrụ ọbụla, ị ga-awụsa aja ihe ọṅụṅụ a n’ebe nsọ nye ONYENWE ANYỊ.
8 N’oge anyasị, ị ga-ewerekwa nwa atụrụ nke abụọ, ya na otu ụdị aja mkpụrụ ọka
na aja ihe ọṅụṅụ dị ka i mere n’ụtụtụ, jiri chụọ aja. Nke a bụkwa aja e sitere n’ọkụ
chụọ, nke isisi ya dị ezi mma nye ONYENWE ANYỊ.

### *Aja nke ụbọchị izuike*

9 “ ‘N’ụbọchị izuike, jiri ụmụ atụrụ abụọ gbara otu afọ, otu afọ, ndị na-enweghị
ntụpọ, ha na aja ihe ọṅụṅụ na aja mkpụrụ ọka e ji lita ụtụ ọka anọ na ọkara a
kwọziri akwọzi, nke a gwaziri mmanụ mee. 10 Nke a bụ aja nsure ọkụ nke Ụbọchị
Izuike, tinyere aja nsure ọkụ na aja ihe ọṅụṅụ ndị ahụ a na-achụ n’oge ha.

### *Aja nke ụbọchị mbụ n’ọnwa*

11 “ ‘Ọzọ, n’ụbọchị mbụ nke ọnwa ọbụla, a ga-achụrụ ONYENWE ANYỊ aja nsure ọkụ
dị iche, nke a ga-eji ụmụ oke ehi abụọ, na otu ebule, na ụmụ ebule asaa gbara otu
afọ, otu afọ, ndị na-enweghị ntụpọ chụọ. 12 Tinyere oke ehi ọbụla, ị ga-eji lita ụtụ
ọka isii na ọkara a kwọziri nke ọma, nke a gwara mmanụ chụọ aja. Ma lita ụtụ ọka
anọ na ọkara a kwọziri nke ọma, nke a gwakọtakwara mmanụ ka a ga-eji chụọ aja
mkpụrụ ọka maka otu ebule ọbụla. 13 Ma n’isi otu nwa atụrụ ọbụla, ọ bụ lita ụtụ
ọka abụọ a kwọziri nke ọma, nke a gwakọtara ya na mmanụ ka a ga-eji chụọ aja
mkpụrụ ọka. A ga-eji ha chụọ aja nsure ọkụ nke isisi ya ga-atọkwa ONYENWE ANYỊ
ezi ụtọ. 14 Aja ọbụla a chụrụ ga-enwe aja ihe ọṅụṅụ nke ga-eso ya, lita mmanya abụọ
maka otu oke ehi, ihe ji ntakịrị karịa otu lita mmanya n’isi otu ebule, na otu lita n’isi
otu nwa atụrụ. Nke a ga-abụ aja nsure ọkụ nke a ga-achụ n’oge ọnwa ọhụrụ ọ bụla,
n’ime afọ ọbụla, 15 n’agbanyeghị aja nsure ọkụ na aja ihe ọṅụṅụ nke a na-achụ dịka
mgbe ha si dị, a ga-eche otu mkpi n’ihu ONYENWE ANYỊ dịka aja mmehie.

### *Mmemme Ngabiga*

16 “ ‘N’ụbọchị nke iri na anọ nke ọnwa mbụ, ka a ga-edebe Mmemme Ngabiga.
ONYENWE ANYỊ. 17 N’ụbọchị na-eso ya, bụ abalị iri na ise nke ọnwa ahụ ka a ga-eme
mmemme. N’ime abalị asaa ka a ga-eri achịcha a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee.
18 N’ụbọchị mbụ mmemme a bidoro, a ga-akpọ nzukọ dị nsọ nke ndị Izrel niile. Ọ
dịghị ọrụ siri ike a ga-arụ n’ụbọchị ahụ. 19 Unu ga-eji ụmụ oke ehi abụọ, na otu ebule,
na ụmụ ebule asaa gbara naanị otu afọ, otu afọ, nke na-enweghị ntụpọ ọbụla chụọrọ
ONYENWE ANYỊ aja nsure ọkụ. 20 N’isi otu oke ehi ọbụla, a ga-achụ aja mkpụrụ ọka
nke a ga-eji lita ụtụ ọka isii na ọkara a kwọziri nke ọma, a gwakọtara ya na mmanụ
chụọ. N’isi ebule ọbụla, lita ụtụ ọka anọ na ọkara. 21 Ma n’isi otu nwa atụrụ ọbụla,
a ga-enye lita ụtụ ọka abụọ a kwọziri nke ọma. 22 Tinye otu mkpi n’ihi ịchụ aja
mmehie maka ikpuchiri unu mmehie unu. 23 A ga-achụ aja ndị a, tinyere aja ndị
ọzọ niile a na-achụ n’ụbọchị niile. 24 A ga-achụ aja ndị a ụbọchị niile n’ime ụbọchị
asaa nke mmemme ahụ. Ha ga-abụ aja nke isisi ha dị ONYENWE ANYỊ ezi ụtọ. A ga-
achụ ha, chụkwaa aja nsure ọkụ na aja ihe ọṅụṅụ nke a na-achụ dịka mgbe ha si dị.
25 N’ụbọchị nke asaa nweenụ mkpọkọta dị nsọ, unu arụkwala ọrụ nke ụbọchị ahụ.

### *Mmemme Izu Asaa*

26 “ ‘N’ụbọchị mbụ nke mkpụrụ mbụ, mgbe unu na-eche onyinye ọka ọhụrụ unu
n’ihu Onyenwe anyị n’oge mmemme Izu Asaa, nweenụ mkpọkọta dị nsọ. Unu
arụkwala ọrụ nke ụbọchị ahụ. 27 Unu ga-achụ aja nsure ọkụ, nke isisi ya dị ezi
mma nye Onyenwe anyị. Ọ bụ ụmụ oke ehi abụọ, na otu ebule, na ụmụ ebule asaa
gbara otu afọ, otu afọ, ka a ga-eji chụọ aja a. 28 Ihe unu ga-etinye n’ihe ndị a bụ aja
mkpụrụ ọka a ga-eji lita ụtụ ọka isii na ọkara a kwọziri akwọzi, nke a gwakọtara ya
na mmanụ chụọ, n’isi otu oke ehi. Lita ụtụ ọka anọ na ọkara, n’isi otu ebule, 29 na
lita ụtụ ọka abụọ, n’isi otu nwa atụrụ ọbụla. 30 Ọzọkwa, a ga-eji otu mkpi chụọ aja
maka mkpuchi mmehie unu. 31 Dozie aja ndị a tinyere aja ihe ọṅụṅụ ha, ya na aja
nsure ọkụ na aja mkpụrụ ọka ya na aja ahụ so. Hụkwanụ na anụ ụlọ e ji chụọ aja
ndị a bụ ndị na-enweghị ntụpọ ọbụla.

# 29

### *Mmemme Opi Ike*

1 “ ‘Ụbọchị unu ga-egbu opi ike ga-adị n’abalị mbụ nke ọnwa asaa n’afọ ọbụla.
N’ụbọchị ahụ, a ga-enwe mkpọkọta dị nsọ nke mmadụ niile. Unu agaghị arụ ọrụ
ọbụla n’ụbọchị ahụ. 2 N’ụbọchị ahụ, unu ga-achụ aja nsure ọkụ a ga-eji otu oke ehi,
na ebule, na ụmụ atụrụ asaa gbara otu afọ, otu afọ ndị na-enweghị ntụpọ, chụọ. Nke
a bụ aja na-adị Onyenwe anyị ezi mma, ma na-esi ya isi ụtọ. 3 Aja mkpụrụ ọka ka a
ga-eji lita ụtụ ọka isii na ọkara a gwakọtara ya na mmanụ chụọ, n’isi oke ehi ahụ,
lita anọ na ọkara, n’isi ebule, 4 na lita abụọ, n’isi otu nwa atụrụ ọbụla. 5 Tinyere
otu mkpi a ga-eji chụọ aja maka mkpuchi mmehie unu. 6 Aja ndị a niile bụ nke a ga-
etinye nye n’aja nsure ọkụ a na-achụ kwa ọnwa, na aja nsure ọkụ a na-achụ ụbọchị
niile, ha na aja mkpụrụ ọka, na aja ihe ọṅụṅụ dịka e depụtara. Ha bụ aja ihe oriri a
na-achụrụ Onyenwe anyị, aja nwere isisi dị ụtọ.

### *Aja ikpuchi mmehie*

7 “ ‘N’ụbọchị nke iri nke ọnwa asaa ahụ, unu ga-enwekwa nzukọ dị nsọ. Unu ga-
ebudata onwe unu n’ala. O nweghịkwa ụdị ọrụ ọbụla unu ga-arụ. 8 N’ụbọchị ahụ,
unu ga-achụrụ Onyenwe anyị aja nsure ọkụ, nke isisi ya na-atọ ya ụtọ. A ga-eji otu
nwa oke ehi, na otu ebule, na ụmụ ebule asaa gbara otu afọ, otu afọ ndị na-enweghị
ntụpọ chụọ aja a. 9 Aja mkpụrụ ọka ga-eso ya. A ga-eji lita ụtụ ọka isii na ọkara a
gwakọtara ya na mmanụ chụọ aja nwa oke ehi ahụ. Jiri lita ụtụ ọka anọ na ọkara
chụọ aja ebule, 10 jirikwa lita ụtụ ọka abụọ chụọ aja n’isi otu n’ime nwa atụrụ ọbụla.
11 Tinyekwa otu mkpi a ga-eji chụọ aja mmehie. A ga-atụkwasị nke a n’aja mkpuchi
mmehie a na-achụ, tinyere aja nsure ọkụ a na-achụ ụbọchị niile, na aja mkpụrụ ọka,
na aja ihe ọṅụṅụ niile.

### *Mmemme Ụlọ Ikwu*

12 “ ‘N’ụbọchị iri na ise nke ọnwa asaa, a ga-enwe mkpọkọta dị nsọ nke ụmụ
Izrel niile. N’ụbọchị ahụ, onye ọbụla agaghị arụ ọrụ ọbụla, n’ihi na ọ bụ mmalite
mmemme abalị asaa n’ihu Onyenwe anyị. 13 Cheenụ onyinye a na-enye site n’ọkụ
n’ihu Onyenwe anyị nke isisi ya na-atọ ya ụtọ, jirinụ oke ehi iri na atọ, na ebule abụọ,
na ụmụ ebule iri na anọ ndị na-enweghị ntụpọ, ndị gbara otu afọ, otu afọ, chụọ aja
nsure ọkụ. 14 A ga-atụkwasịkwa aja mkpụrụ ọka nke e ji lita ụtụ ọka isii na ọkara
gwakọta ya na mmanụ, n’isi otu n’ime oke ehi iri na atọ ndị ahụ niile. Lita anọ na
ọkara n’isi otu ebule n’ime ebule abụọ ndị ahụ, 15 ma lita abụọ n’isi otu n’ime nwa
atụrụ ọbụla. 16 Tinyekwa otu mkpi maka ịchụ aja mmehie, ya na aja nsure ọkụ a
na-achụ n’oge ha, tinyere aja mkpụrụ ọka na aja onyinye ihe ọṅụṅụ so ha.
17 “ ‘N’ụbọchị abụọ nke mmemme a, a ga-eji oke ehi iri na abụọ, ebule abụọ, na
ụmụ ebule iri na anọ gbara otu afọ, otu afọ, ndị na-enweghị ntụpọ chụọ aja. 18 Ihe

ga-eso aja oke ehi, na ebule na ụmụ atụrụ ndị ahụ n'ọnụọgụgụ ha, bụ aja mkpụrụ
ọka, na aja ihe ọṅụṅụ dịka e si nye ya n'iwu. [19] Tinyekwa otu mkpi maka aja mmehie,
ya na aja nsure ọkụ a na-achụ n'oge ha, na aja mkpụrụ ọka, na aja ihe ọṅụṅụ so ha.
[20] " 'N'ụbọchị nke atọ nke mmemme ahụ, ị ga-ewere ụmụ oke ehi iri na otu, na
ebule abụọ, na ụmụ ebule iri na anọ ndị gbara otu afọ, otu afọ, ndị na-enweghị ntụpọ,
chụọ aja. [21] Ihe ga-eso aja oke ehi na ebule na ụmụ atụrụ ndị ahụ n'ọnụọgụgụ ha bụ
aja mkpụrụ ọka na aja ihe ọṅụṅụ dịka e si nye ya n'iwu. [22] Tinyekwa otu mkpi maka
aja mmehie, ya na aja nsure ọkụ a na-achụ n'oge ha, na aja mkpụrụ ọka, na aja ihe
ọṅụṅụ so ha.
[23] " 'N'ụbọchị nke anọ nke mmemme ahụ, ị ga-ewere ụmụ oke ehi iri, ebule abụọ,
ụmụ ebule iri na anọ ndị gbara otu afọ, otu afọ, ndị na-enweghị ntụpọ, chụọ aja.
[24] Ihe ga-eso aja oke ehi, ebule na ụmụ atụrụ ndị ahụ n'ọnụọgụgụ ha bụ aja mkpụrụ
ọka, na aja ihe ọṅụṅụ dịka e si nye ya n'iwu. [25] Tinyekwa otu mkpi maka ịchụ aja
mmehie ya na aja nsure ọkụ a na-achụ n'oge ha, tinyere aja mkpụrụ ọka, na aja
onyinye ihe ọṅụṅụ so ha.
[26] " 'N'ụbọchị nke ise nke mmemme a, ị ga-ewere ụmụ oke ehi itoolu, ebule abụọ
na ụmụ ebule iri na anọ ndị gbara otu afọ, otu afọ, ndị na-enweghị ntụpọ chụọ aja.
[27] Ihe ga-eso aja oke ehi, ebule na ụmụ atụrụ ndị ahụ n'ọnụọgụgụ ha bụ aja mkpụrụ
ọka na aja ihe ọṅụṅụ dịka e si nye ya n'iwu. [28] Tinyekwa otu mkpi maka aja mmehie,
ya na aja nsure ọkụ a na-achụ n'oge ha, na aja mkpụrụ ọka, na aja ihe ọṅụṅụ so ha.
[29] " 'N'ụbọchị nke isii nke mmemme ahụ, ị ga-ewere ụmụ oke ehi asatọ, na ebule
abụọ, na ụmụ ebule iri na anọ ndị gbara otu afọ, otu afọ, ndị na-enweghị ntụpọ,
chụọ aja. [30] Ihe ga-eso aja oke ehi, na ebule, na ụmụ atụrụ ndị ahụ n'ọnụọgụgụ ha
bụ aja mkpụrụ ọka, na aja ihe ọṅụṅụ dịka e si nye ya n'iwu. [31] Tinyekwa otu mkpi
maka aja mmehie, ya na aja nsure ọkụ a na-achụ n'oge ha, na aja mkpụrụ ọka, na
aja ihe ọṅụṅụ so ha.
[32] " 'N'ụbọchị nke asaa nke mmemme ahụ, were ụmụ oke ehi asaa, ebule abụọ na
ụmụ ebule iri na anọ, ndị gbara otu afọ, otu afọ, ndị na-enweghị ntụpọ, chụọ aja.
[33] Ihe ga-eso aja oke ehi, ebule na ụmụ atụrụ ndị ahụ n'ọnụọgụgụ ha bụ aja mkpụrụ
ọka na aja ihe ọṅụṅụ dịka e si nye ya n'iwu. [34] Tinyekwa otu mkpi maka aja mmehie,
ya na aja nsure ọkụ a na-achụ n'oge ha, na aja mkpụrụ ọka, na aja ihe ọṅụṅụ so ha.
[35] " 'N'ụbọchị nke asatọ ndị Izrel niile ga-enwe oke nzukọ. Ị gaghị arụ ọrụ ọbụla
n'ụbọchị ahụ. [36] Chụọ aja nsure ọkụ, nke isisi ya dị ONYENWE ANYỊ ezi ụtọ. Ị ga-eji otu
nwa oke ehi, otu ebule na ụmụ ebule asaa ndị gbara otu afọ, otu afọ, ndị na-enweghị
ntụpọ ọbụla, chụọ ya. [37] Ihe ga-eso aja oke ehi, ebule na ụmụ atụrụ ndị ahụ bụ aja
mkpụrụ ọka na aja ihe ọṅụṅụ dịka e si nye ya n'iwu. [38] Tinyekwa otu mkpi maka
aja mmehie ya na aja nsure ọkụ a na-achụ n'oge ha, na aja mkpụrụ ọka, na aja ihe
ọṅụṅụ so ha.
[39] " 'Tinyere onyinye a na-enye dịka nkwa e kwere si dị, na onyinye afọ ofufu unu,
unu ga-akwadoro ONYENWE ANYỊ onyinye ndị a n'oge mmemme a kara aka unu: aja
nsure ọkụ unu, onyinye mkpụrụ ọka na onyinye ihe ọṅụṅụ na aja udo.' "
[40] Ya mere Mosis gwara ụmụ Izrel ihe niile ONYENWE ANYỊ nyere ya n'iwu ịgwa ha.

# 30

*Ikwe nkwa*

[1] Mosis kpọkọtara ndị ndu ebo Izrel niile gwa ha sị: "Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ
nyere n'iwu: [2] Mgbe nwoke ọbụla kwere ONYENWE ANYỊ nkwa, maọbụ ṅụọ iyi ime
ihe ọbụla, ọ gaghị emebi nkwa dị otu a. Kama ọ ga-emezu ihe niile dịka o kwuru ya.
[3] "Ọ bụrụ na nwaagbọghọ nọ n'ụlọ nna ya ekwe ONYENWE ANYỊ nkwa maọbụ ṅụọ
iyi ime ihe ọbụla, [4] ọ bụrụ na nna ya anụ mgbe ọ na-ekwe nkwa maọbụ ṅụọ iyi

ime ihe ahụ, ma gba ya nkịtị,* onye dị otu a aghaghị imezu nkwa niile ndị ahụ o
kwere. 5 Ma ọ bụrụ na nna ya ajụ mgbe ọ nụrụ banyere ya na ọ gaghị emezu nkwa
dị otu ahụ, mgbe ahụ, nkwa ahụ maọbụ iyi ọ ṅụrụ ga-abụ ihe efu. Onyenwe anyị
ga-agbaghakwara ya, n'ihi na nna ya jụrụ na ọ ga-emezu nkwa ya.

6 "Ọ bụrụ na o mesịa lụọ dị, mgbe ọ ṅụsịrị iyi, maọbụ kwee nkwa nzuzu o kwesiri
imezu, 7 di ya nụ banyere ya ma gba ya nkịtị n'ụbọchị ahụ ọ nụrụ ya, nkwa ahụ
ga-eguzogide, ọ ga-emezu ya. 8 Ma ọ bụrụ na di ya ajụ ịnabata nkwa ahụ, maọbụ
ọṅụṅụ iyi nzuzu ahụ, ọjụjụ di ya jụrụ nkwa ahụ ga-eme ka iyi ahụ maọbụ nkwa ahụ
ghara ịdị ire. Onyenwe anyị ga-agbaghakwara ya.

9 "Ma nkwa ọbụla nke nwanyị di ya nwụrụ maọbụ nwanyị ya na di ya kewara, ihe
ọbụla nke o ji ọnụ ya kwuo ka ọ ghaghị imezu.

10 "Ma ọ bụrụ na nwanyị ya na di ya bi e kwee nkwa maọbụ site na kwagide ṅụọ
iyi, 11 di ya nụ ihe banyere ya, ma gba nkịtị maọbụ ogbochighị ya, mgbe ahụ, ịṅụ iyi
na nkwa ndị ahụ niile nke o kwere ga-eguzo. 12 Ma ọ bụrụ na di ya jụrụ ikwenye ka
nkwa ahụ dịgide n'ụbọchị mbụ ọ nụrụ ya, nkwa ahụ maọbụ ọṅụṅụ iyi ahụ aghọọla
ihe efu. Onyenwe anyị ga-agbaghakwara ya. 13 Ya mere, di ya nwere ike ịjụ, maọbụ
mesie nkwa ahụ, maọbụ iyi ahụ ọ ṅụrụ ike. 14 Ọ bụrụ na di ya ekwughị ihe ọbụla
site n'otu ụbọchị ruo n'ụbọchị ọzọ, mgbe ahụ, o gosiri na o kwenyere ka nwunye ya
mezuo nkwa maọbụ iyi ndị ahụ niile. 15 Ọ bụrụ na o mesịa jụ na nwunye ya agaghị
emezu nkwa ahụ ọ kwere, ikpe ọmụma niile dị n'ihi emezughị nkwa ahụ dị ya n'isi."

16 Ndị a bụ usoro iwu Onyenwe anyị nyere Mosis banyere mmekọrịta nke nwoke
na nwunye ya. Ọ metụtakwara nna na nwa ya nwanyị onye bi n'ụlọ ya.

# 31

*Ịbọ ọbọ megide ndị Midia*

1 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị ya, 2 "Taa ndị Midia ahụhụ, ka
i si otu a bọọrọ ndị Izrel ọbọ ihe ọjọọ ndị Midia mere ha. Mgbe i mesịrị nke a, ị
ga-anwụ."

3 Ya mere, Mosis gwara ndị Izrel okwu sị, "Kwadoonụ ndị ikom unu ibuso ndị Midia
agha, maka ịbọtara Onyenwe anyị ọbọ. 4 Sinụ n'ebo ọbụla dị n'Izrel gụpụta puku
ndị ikom puku ndị ikom." 5 Ya mere, e sitere n'igwe ndị ikom niile nọ n'Izrel zipụ
puku ndị ikom iri na abụọ, ka ha gaa buo agha. Ebo ọbụla zipụrụ otu puku ndị ikom.
6 Mosis zipụrụ ha ibu agha, otu puku, otu puku site n'ebo ọbụla. Finehaz nwa Elieza,
onye nchụaja, du ha gaa agha ahụ. O bu ngwongwo si n'ebe nsọ, tinyere opi ike nke
a ga-afụ.

7 Ha busoro ndị Midia agha dịka Onyenwe anyị nyere Mosis n'iwu. Ha gburu onye
ọbụla bụ nwoke. 8 N'ime ndị ha gburu n'agha ahụ bụ ndị eze Midia ise a na-akpọ
Evi, Rekem, Zua, Hua na Reba. Ha jikwa mma agha gbuo Belam nwa Beoa. 9 Ndị
agha Izrel chịkọtara ndị inyom niile, na ụmụntakịrị niile nọ n'ala Midia dịka ndị ha
dọtara n'agha. Ha chịkọtara ngwongwo niile ndị Midia ji biri, tinyere igwe ehi, na
igwe ewu na atụrụ ha niile, dịka ihe ha dọtara n'agha. 10 Emesịa, ha mụnyere ọkụ
n'obodo ndị Midia niile na ebe ha mara ụlọ ikwu, rechapụ ha n'ọkụ. 11 Ha chịkọtara
ihe niile ha dọtara n'agha, ma mmadụ ma anụ ụlọ. 12 Ndị a niile ha dọtara n'agha
na ngwongwo niile ha lụtara n'agha ka ha buteere Mosis, na Elieza onye nchụaja na
ọgbakọ Izrel niile na mbara ala Moab, n'akụkụ osimiri Jọdan na ncherita ihu Jeriko.

13 Mosis na Elieza onye nchụaja na ndị ndu ọgbakọ Izrel niile pụrụ gaa zute ha
n'azụ ebe ha mara ụlọ ikwu ha. 14 Ma Mosis were iwe megide ndịisi agha, ya bụ ndị

* **30:4** 30:4 Ma o kwughị ihe ọbụla

ahụ na-achị imerime puku ndị agha, na ndị ọchịagha na-achị narị ndị agha, ndị si ibu agha lọta.
15 Mosis jụrụ ha sị, "Gịnị mere unu ji debe ndị inyom niile ndị a ndụ? 16 Ọ bụ ndị
a bụ ndị gbasoro ndụmọdụ Belam, rafuo ndị Izrel mee ka ha ghọọ ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi nye ONYENWE ANYỊ n'ihe gbasara okwu Peoa. Ọ bụ nke a mere ka nrịa nrịa ọjọọ ahụ na-efe efe dakwasị ndị nke ONYENWE ANYỊ. 17 Ugbu a, gbuonụ ụmụnta
ndị nwoke niile, na ndị inyom niile matarala nwoke. 18 Naanị ụmụntakịrị ndị nwanyị
ha nke nwoke na-edinabeghị ka unu ga-ahapụ ka ha dịrị ndụ. Unu nwere ike debere onwe unu ndị dị otu a.
19 "Ma ugbu a, unu niile bụ ndị soro gbuo mmadụ, maọbụ bitụ ozu ha aka, unu abatala n'ime ogige Izrel tutu ụbọchị asaa agafee. N'oge a, doonụ onwe unu ọcha, dokwaanụ ndị niile unu dọtara n'agha ọcha, n'ụbọchị nke atọ na n'ụbọchị nke asaa.
20 Debekwanụ uwe niile ọcha, ya na ihe niile e ji akpụkpọ anụ na ajị ewu, maọbụ osisi, mee."
21 Mgbe ahụ, Elieza onye nchụaja gwara ndị ikom niile ahụ jere agha okwu sị ha,
"Nke a bụ iwu ONYENWE ANYỊ nyere Mosis. 22 Otu ọ dị ọlaedo, ọlaọcha, bronz, igwe,
gbamgbam na opu, 23 na ihe ọ bụla ọzọ bụ nke ga-anagide ọkụ, ka a ga-eme ka ọ
gabiga site n'ọkụ, mgbe ahụ ọ ga-adịkwa ọcha. Ma aghaghị ịga n'ihu ime ka ha dị ọcha site n'ịsacha ha n'ime mmiri nke nsacha. Ma ihe ọbụla nke na-agaghị anagide ọkụ ka a ga-eji mmiri sachaa, maka ido ya ọcha. 24 N'ụbọchị nke asaa, unu aghaghị
ịsacha uwe unu niile, bụrụ ndị dị ọcha. Mgbe ahụ, unu pụrụ ịlọghachi n'ọmụma ụlọ ikwu ndị Izrel."

### *Ike ihe nkwata n'agha*

25 Ma ONYENWE ANYỊ sịrị Mosis, 26 "Gị na Elieza onye nchụaja, na ndịisi ezinaụlọ nke
ọgbakọ Izrel niile, ga-agụkọ ihe niile unu dọtara n'agha chọpụta ọnụọgụgụ mmadụ na anụmanụ. 27 Mgbe ahụ, kee ihe ndị a niile ụzọ abụọ. Ọkara ya ga-abụ nke ndị
ikom ahụ niile gara agha, ma ọkara nke ọzọ ka a ga-enye ọgbakọ Izrel niile. 28 Ma
ONYENWE ANYỊ nwere oke site n'oke ndị ahụ jere agha: mmadụ, na ehi niile, na ịnyịnya ibu niile, na atụrụ na ewu niile. Oke ONYENWE ANYỊ bụ otu ụzọ n'ime narị ise ọbụla. 29 Nye Elieza onye nchụaja oke sitere n'aja a dịka ihe ONYENWE ANYỊ ketara.
30 Otu aka ahụ kwa, site n'oke ndị Izrel ga-eketa, kee ụtụ. Otu ụzọ n'ime iri ise, maọbụ mmadụ, maọbụ ehi, maọbụ ịnyịnya ibu, maọbụ atụrụ, maọbụ ewu, maọbụ igwe anụ ụlọ ụzọ. Were ha nye ndị Livayị, ndị ọ dị n'aka ilekọta ụlọ nzute ONYENWE ANYỊ, ka ọ bụrụ oke nke ha." 31 Ya mere, Mosis na Elieza onye nchụaja mere dịka ONYENWE
ANYỊ nyere ha n'iwu.
32 Ihe nweta bụ nke fọdụrụ n'ihe ndị agha lụtara n'agha bụ ndị a, bụ atụrụ dị
narị puku isii, iri puku asaa na puku ise (675,000), 33 Ehi dị iri puku asaa na puku
abụọ (72,000), 34 ịnyịnya ibu dị iri puku isii na otu puku (61,000), 35 Ụmụ agbọghọ
na-amatabeghị nwoke dị iri puku atọ na puku abụọ (32,000).

36 Ya mere, ọkara e nyere ndị gara lụọ agha dị:

Igwe ewu na atụrụ dị narị puku atọ na iri puku atọ na puku asaa na narị ise (337,500). 37 N'ime ya, ụtụ e nyere ONYENWE ANYỊ site n'igwe atụrụ ahụ dị narị
isii na iri asaa na ise (675).
38 Igwe ehi dị iri puku atọ na puku isii (36,000). N'ime ya, ihe e nyere ONYENWE ANYỊ bụ iri asaa na abụọ (72).
39 Ịnyịnya ibu dị iri puku atọ na narị ise (30,500). Nke e nyere ONYENWE ANYỊ bụ iri isii na otu (61).

40 Ọnụọgụgụ ụmụ agbọghọ dị puku iri na isii (16,000). Ndị e nyere ONYENWE ANYỊ
dị iri atọ na abụọ (32).

41 Mosis nyere Elieza bụ onye nchụaja ONYENWE ANYỊ oke n'ihe ndị ahụ niile a tụrụ
n'ụtụ, dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu.
42 Ma ọkara nke ahụ dịrị ndị Izrel, nke Mosis kewapụtara site na nke ndị ikom lụrụ
agha. 43 Ọkara nke nzukọ dị, igwe ewu na atụrụ, narị puku atọ, iri puku atọ, puku
asaa na narị ise (337,500), 44 igwe ehi, iri puku atọ na isii (36,000), 45 ịnyịnya ibu, iri
puku atọ na narị ise (30,500), 46 ụmụ agbọghọ, puku iri na isii (16,000). 47 Site n'oke
ndị Izrel Mosis họpụtara otu ụzọ n'ime iri ise, ma mmadụ ma anụ ụlọ dịka ONYENWE
ANYỊ nyere n'iwu. O nyere ha ndị Livayị na-elekọta ụlọ nzute ONYENWE ANYỊ mmadụ
na anụ ụlọ ndị a.
48 Mgbe ahụ, ndịisi agha niile na ndị ọchịagha na-achị imerime puku ndị agha, na
ndị na-achị narị ndị agha bịakwutere Mosis, 49 sị ya, "Ndị ohu gị agụọla ndị niile gara
agha nọ n'okpuru anyị, chọpụta na o nweghị onye ọbụla a na-achọ achọ. 50 Ya mere,
anyị wetaara ONYENWE ANYỊ onyinye site n'ihe anyị kwatara n'agha. Onyinye anyị bụ
ihe onye ọbụla nwetara, ihe ọlaedo a na-agba n'ụkwụ na mgbaaka, na ọlaaka ikike,
na ọlantị na ihe iyi n'olu niile, i ji ha chụọ aja mkpuchi mmehie n'ihi onwe anyị n'ihu
ONYENWE ANYỊ."
51 Mosis na Elieza onye nchụaja natara onyinye ọlaedo ndị ahụ bụ ihe a kpụrụ
akpụ site n'aka ha. 52 Ịdị arọ nke ihe ọlaedo niile nke ndị ọchịagha na-achị imerime
puku ndị agha, na ndị na-achị narị ndị agha, nke Mosis na Elieza chere n'ihu ONYENWE
ANYỊ dịka onyinye, dị narị kilogram na iri itoolu.* 53 Ndị ahụ lụrụ agha ahụ nwekwara
ọtụtụ ihe ndị ọzọ ha debeere onwe ha. 54 Mosis na Elieza onye nchụaja natara onyinye
ọlaedo ndị a dị iche site n'aka ndị ọchịagha na-achị ọtụtụ puku ndị agha na narị ndị
agha. E webatara onyinye ndị a n'ụlọ nzute, debe ha n'ihu ONYENWE ANYỊ ka ọ bụrụ
ihe ncheta nye ONYENWE ANYỊ n'ihi ndị Izrel niile.

# 32

*Ndị ketara ala n'ọwụwa anyanwụ*

1 Mgbe ndị Izrel rutere ala Jeza na Gilead, ndị ebo Ruben na Gad ndị nwere ọtụtụ
igwe ehi, na igwe ewu na atụrụ chọpụtara na ala ahụ dị mma nke ukwuu maka ịzụ
anụ ụlọ. 2 Ya mere, ha bịakwutere Mosis na Elieza onye nchụaja, na ndị ndu nzukọ
Izrel, sị ha, 3 "Ala ndị a: Atarọt, Dibọn, Jeza, Nimra, Heshbọn, Eleale, Sebam, Nebo, na
Beon, 4 bụ ala nke ONYENWE ANYỊ meriri n'agha n'ihu nzukọ Izrel, dị mma maka ịzụ
anụ ụlọ. Anyị onwe anyị kwa nwere igwe ewu na atụrụ. 5 Ọ bụrụ na anyị achọtala
amara n'ihu unu, biko, kwerenụ ka akụkụ ala a bụrụ ihe nketa nke anyị bụ ohu unu.
Unu emekwala ka anyị soro ndị Izrel gafee n'akụkụ nke ọzọ nke osimiri Jọdan."
6 Mosis jụrụ ndị Gad na Ruben ajụjụ sị, "Unu na-ekwu na unu chọrọ ịnọ n'ebe a
mgbe ụmụnna unu ndị ikom niile ga-agafe osimiri Jọdan ịlụ agha niile ahụ dị na-eche
ha? 7 Ọ bụ n'ihi gịnị ka unu ji eme ka ndị Izrel daa mba ghara ịgafe banye n'ala ahụ
ONYENWE ANYỊ nyerela ha? 8 Otu a ka nna unu ha mere mgbe m si Kadesh Banea
zipụ ha inyocha ala ahụ. 9 Mgbe ha letasịrị ala ahụ si na Ndagwurugwu Eshkọl
lọghachi, ha mere ka obi ndị Izrel niile daa mba ịbanye n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ
nyere ha. 10 N'ihi nke a ONYENWE ANYỊ were iwe dị ọkụ megide ha n'ụbọchị ahụ.
Ọ ṅụrụ iyi kwuo sị, 11 'N'ihi na unu jụrụ iji obi unu niile gbasoo m, o nweghị onye
ọbụla n'ime ndị ahụ o si n'ala Ijipt kpọpụta, ndị gbara iri afọ abụọ rigoo, ga-ahụ ala
ahụ m kwere Ebraham na Aịzik na Jekọb nkwa inye ha.' 12 Naanị ndị ọṅụṅụ iyi a

* **31:52** 31:52 Ya bụ puku shekel iri na isii na narị asaa na iri ise

na-emegideghị bụ Kaleb, nwa Jefune onye Keniz,* na Joshua nwa Nun, n'ihi na ha
jiri obi ha niile sogide ONYENWE ANYỊ. 13 Iwe ONYENWE ANYỊ dịịrị ọkụ megide Izrel,
o mere ka ha wagharịa n'ọzara iri afọ anọ, tutu ruo mgbe ọgbọ ahụ niile nke mere
ihe ọjọọ n'anya ya nwụchara.
14 "Ma lee unu ugbu a, agbụrụ ndị mmehie, ọ bụkwa otu ihe ahụ ka unu na-eme!
Unu na-achọ ime ka iwe dị ukwuu wee ONYENWE ANYỊ megide ndị Izrel. 15 Ọ bụrụ na
unu ajụ iso ONYENWE ANYỊ ugbu a, ONYENWE ANYỊ ga-emekwa ka ndị Izrel nọgide
n'ọzara. Mbibi na ịla n'iyi nke ga-abịakwasị ha ga-abụkwa nke unu ji aka unu
kpatara ha."
16 Ma ha zara sị ya, "Ọ gaghị adị otu a! Anyị ga-ewuru anụ ụlọ anyị ụlọ, tinye igwe
ewu na atụrụ anyị n'ime ha. Anyị ga-ewukwara ndị nwunye anyị na ụmụntakịrị
anyị obodo ebe ha ga-anọ. 17 Ma anyị onwe anyị ga-eburu ngwa agha anyị, buru ndị
Izrel niile ọzọ ụzọ gaa n'ihu ịlụ ọgụ, tutu anyị edubata ha n'ala nke ha ga-eketa. Ma
ndị nwunye anyị na ụmụntakịrị anyị ga-anọ n'obodo e wusiri ike, ikpuchite ezinaụlọ
anyị niile site n'aka ndị iro bi anyị gburugburu. 18 Anyị agaghị alọta n'ụlọ anyị tutu
onye Izrel ọbụla enweta ihe nketa nke ya. 19 Anyị achọghị ihe nketa, n'ofe Jọdan nke
ọzọ, n'ihi na anyị ewerela oke nke anyị n'ebe a, n'akụkụ ọwụwa anyanwụ Jọdan."
20 Mgbe ahụ, Mosis zara sị ha, "Ọ dị mma, ọ bụrụ na unu ga-eme dịka unu kwuru,
jikere onwe unu, n'ihu ONYENWE ANYỊ, ibu agha. 21 Ọ bụrụ na ndị agha unu ga-eso
gafee n'ofe ọzọ nke osimiri Jọdan, soro ndị ọzọ buo agha tutu ruo mgbe ONYENWE
ANYỊ chụpụchara ndị iro ya niile, 22 mgbe ahụ, e merichaa mba ndị ahụ niile n'ihu
Onyenwe anyị, unu nwere ike ịlọghachi n'ebe a, bụrụ ndị ikpe na-amaghị n'ebe
ONYENWE ANYỊ na ndị Izrel nọ. Ala a dị n'ọwụwa anyanwụ, ga-abụ ihe nketa unu
nwere site n'aka ONYENWE ANYỊ.
23 "Ọ bụrụkwanụ na unu ajụ ime dịka unu kwuru, mgbe ahụ, ọ bụ ONYENWE ANYỊ
ka unu na-emehie megide. Matakwanụ na unu ga-emesịa nata ụgwọ ọrụ mmehie
unu. 24 Wuonụ obodo ebe ndị inyom na ụmụ unu ga-ebi, wuokwanụ ụlọ anụ maka
igwe ewu na atụrụ unu, ma mezuokwanụ ihe niile unu kweere na nkwa."
25 Ndị ebo Gad na Ruben sịrị Mosis, "Anyị bụ ndị ohu gị ga-eme dịka onyenwe anyị
nyere n'iwu. 26 Ụmụ anyị niile, na ndị inyom anyị niile, na igwe ewu na atụrụ anyị,
na ehi anyị niile, ga-anọ n'ebe a, n'obodo ndị a anyị wuru n'ala Gilead. 27 Ma anyị,
ndị ohu gị, ndị niile tozuru ije agha, ga-agafe osimiri Jọdan ibu agha n'ihu ONYENWE
ANYỊ, dịka onyenwe anyị si kwuo."
28 Mgbe ahụ, Mosis nyere Elieza, bụ onye nchụaja, na Joshua nwa Nun, na ndịisi
ezinaụlọ nke ebo Izrel niile iwu banyere ha, 29 Ọ sịrị ha, "Ọ bụrụ na ndị ebo Gad na
Ruben, onye ọbụla nke jikere ịga agha, ga-eso unu gafee Jọdan n'ihu ONYENWE ANYỊ,
mgbe ahụ, oge unu lụgburu ndị ala ahụ niile, unu aghaghị inye ha ala Gilead dịka
ihe nketa ha. 30 Ma ọ bụrụ na ha ajụ iso unu, ha ga-eso ndị ọzọ keta oke n'ala Kenan."
31 Ndị ebo Gad na Ruben zara sị, "Ihe ọbụla ONYENWE ANYỊ nyere n'iwu ka anyị
ga-eme. 32 Anyị ga-ejikere soro ONYENWE ANYỊ jee agha n'ala Kenan. Ma ihe nketa
anyị ga-adị n'ebe a, n'akụkụ Jọdan."
33 Mosis nyere ndị ebo Gad, na Ruben, na ọkara Manase nwa Josef, alaeze niile
Saịhọn eze Amọrị nakwa alaeze niile nke Ọg, eze ndị Bashan na-achị. O nyere ha ala
ahụ niile, na obodo niile dị n'ala ahụ gburugburu.
34 Ndị ebo Gad wugharịrị ma wusiekwa obodo ndị a, Dibọn, Atarọt, Aroea 35 Atrọt-
Shofan, Jeza, Jogbeha, 36 Bet-Nimra na Bet-Haran bụ obodo e wusiri ike, wukwaara
igwe ewu na atụrụ ha ụlọ anụ n'ime ya. 37 Ma ndị ebo Ruben wugharịrị obodo ndị

* **32:12** 32:12 Nkọwa e nyere banyere akwụkwọ Jenesis isi nke 15:19, nakwa n'isi nke 36:11, mere ka anyị mata na ndị Keniz bụ ndị Kenan. Ha bụ ndị si n'agbụrụ Ịsọ.

a: obodo Heshbọn, Eleale, Kiriatem, 38 Nebo na Baal-Meon (ma a gbanwere aha ha)
na Sibma. Ha gbanwere aha obodo niile ndị ahụ ha wughariri, gụọ ha aha ọhụrụ.
39 Ndị agbụrụ Makia, nwa Manase gara n'obodo Gilead lụgbuo ya, chụpụ ndị
Amọrait bi n'ebe ahụ. 40 Ya mere, Mosis were obodo Gilead nye Makia, ụmụ Manase
ka ha biri n'ebe ahụ. 41 Jia, onye sikwa n'ebo Manase gara buso ọtụtụ obodo nta ndị
ọzọ agha, lụgbuo ha. Ọ gbanwere aha obodo nta ndị a, gụọ ha Havọt Jaịa. 42 N'oge a
kwa, otu nwoke a na-akpọ Nọba duuru ndị agha gaa n'obodo Kenat, na n'obodo nta
ndị ọzọ gbara ya gburugburu, lụgbuo ha, bichie n'ime ha. Ọ gbanwere aha obodo
ndị ahụ niile bido ịkpọ ha Nọba, nke bụ aha ya onwe ya.

# 33

*Njeghari ụmụ Izrel*

1 Ndị a bụ usoro mbili ije ụmụ Izrel, site n'oge ha hapụrụ Ijipt dịka ha si nọọ n'igwe
n'igwe. Ọ bụ Mosis na Erọn duuru ha n'ije ndị a. 2 Mosis, n'onwe ya, dere usoro ije
ha ndị a n'akwụkwọ dịka ONYENWE ANYỊ nyere ya n'iwu.

3 Ha biliri njem site na Ramesis, n'ụbọchị nke iri na ise n'ọnwa nke mbụ, ụbọchị
na-esota nke e mere Mmemme Ngabiga. Ha niile zọpụrụ ije n'atụghị egwu n'ihu
ndị Ijipt, 4 mgbe ndị ha nọ na-eli ụmụ ha niile ndị e buru ụzọ mụọ, bụ ndị ONYENWE
ANYỊ tigburu n'etiti ha n'ihi na ONYENWE ANYỊ kpere chi ha niile ikpe.

5 Ndị Izrel hapụrụ Ramesis, bịa maa ụlọ ikwu ha na Sukọt.

6 Ha hapụrụ Sukọt bịaruo Etam, nke dị n'ọnụ ọnụ ọzara ahụ.

7 Ha hapụrụ Etam laghachi azụ gaa Pi Hahirot, nke dị nso n'akụkụ ọwụwa
anyanwụ Baal-Zefọn, ebe ha manyere ụlọ ikwu ha na ndịda ugwu Migdol.

8 Mgbe ha hapụrụ Pi Hahirot, ha sitere n'etiti Osimiri Uhie gafee gaa ije ụbọchị
atọ bata n'ọzara Etam. Ha manyere ụlọ ikwu ha na Mara.

9 Mgbe ha hapụrụ Mara, ha batara Elim, ebe e nwere mmiri iri na abụọ si n'ala
na-asọpụta, na iri osisi nkwụ asaa. Ha nọrọ ọdụ dị ukwuu n'ebe a.

10 Mgbe ha hapụrụ Elim, ha wuru ụlọ ikwu ha n'akụkụ Osimiri Uhie.

11 Emesịa, ha hapụrụ Osimiri Uhie gaa maa ụlọ ikwu ha n'ọzara a na-akpọ Sin.

12 Ha hapụrụ ọzara Sin gaa maa ụlọ ikwu ha na Dofka.

13 Emesịa, ha hapụrụ Dofka bịaruo Alush maa ụlọ ikwu ha.

14 Mgbe ha hapụrụ Alush, ha rutere Refidim, ebe ndị Izrel na-ahụghị mmiri
ọṅụṅụ.

15 Ha hapụrụ Refidim bịaruo n'ọzara Saịnaị ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

16 Ha hapụrụ ọzara Saịnaị bịaruo Kibrọt Hataava ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

17 Ha hapụrụ Kibrọt Hataava bịaruo Hazerọt ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

18 Ha hapụrụ Hazerọt bịaruo Ritma ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

19 Ha hapụrụ Ritma bịaruo Rimon-Perez ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

20 Ha hapụrụ Rimon-Perez bịaruo Libna ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

21 Ha hapụrụ Libna bịaruo Rissa ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

22 Ha hapụrụ Rissa bịaruo Kehelata ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

23 Ha hapụrụ Kehelata bịaruo n'ugwu Shefa ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

24 Ha hapụrụ ugwu Shefa bịaruo Harada ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

25 Ha hapụrụ Harada bịaruo Makhelot ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

26 Ha hapụrụ Makhelot bịaruo Tahat ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

27 Ha hapụrụ Tahat bịaruo Tera ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

28 Ha hapụrụ Tera bịaruo Mitka ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

29 Ha hapụrụ Mitka bịaruo Hashmona ebe ha mara ụlọ ikwu ha.

30 Ha hapụrụ Hashmona bịaruo Moserot ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
31 Ha hapụrụ Moserot bịaruo Bene Jaakan ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
32 Ha hapụrụ Bene Jaakan bịaruo Họ Hagịdgad ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
33 Ha hapụrụ Họ Hagịdgad bịaruo Jotbata ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
34 Ha hapụrụ Jotbata bịaruo Abrona ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
35 Ha hapụrụ Abrona bịaruo Eziọn Geba ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
36 Ha hapụrụ Eziọn Geba bịa maa ụlọ ikwu ha na Kadesh, nke dị n'ọzara Zin.
37 Ha hapụrụ Kadesh bịa maa ụlọ ikwu ha n'ugwu Hor n'oke ala ndị Edọm.
38 Erọn, bụ onye nchụaja gbagoro n'ugwu Hor site n'iwu Onyenwe anyị. N'ebe ọ
nọ nwụọ, n'ụbọchị mbụ nke ọnwa nke ise, n'afọ nke iri anọ site na mgbe ụmụ Izrel
si Ijipt pụta. 39 Erọn gbara narị afọ na iri afọ abụọ na atọ mgbe ọ nwụrụ n'ugwu
Hor.
40 Onye Kenan bụ eze Arad, onye bi na Negev n'ime ala Kenan, nụrụ na ndị Izrel
na-abịa.
41 Ha hapụrụ ugwu Hor bịaruo Zalmona ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
42 Ha hapụrụ Zalmona bịaruo Punon ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
43 Ha hapụrụ Punon bịaruo Obot ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
44 Ha hapụrụ Obot bịaruo Iye Abarim, n'oke ala ndị Moab.
45 Ha hapụrụ Iye Abarim bịaruo Dibọn Gad ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
46 Ha hapụrụ Dibọn Gad bịaruo Almon Diblataim ebe ha mara ụlọ ikwu ha.
47 Ha hapụrụ Almon Diblataim bịaruo n'ugwu Abarim nke dị nso na Nebo ebe
ha mara ụlọ ikwu ha.
48 Ha hapụrụ ugwu Abarim bata n'obosara ala Moab n'akụkụ osimiri Jọdan, na
ncherita ihu Jeriko, ebe ha mara ụlọ ikwu ha. 49 Mgbe ha nọ n'ebe a, ha manyere
ụlọ ikwu ha n'ebe dị iche iche n'akụkụ osimiri Jọdan, site na Bet-Jeshimọt rute rịị
ebe a na-akpọ Ebel-Shitim, n'obosara ala Moab.

50 N'obosara ala Moab, n'akụkụ Jọdan, na ncherita ihu Jeriko ka Onyenwe anyị nọ
gwa Mosis okwu sị ya, 51 "Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha, 'Mgbe unu gafere osimiri Jọdan
banye n'ala Kenan, 52 unu aghaghị ịchụpụ ndị niile bi n'ebe ahụ ma bibie chi niile
ha na-efe, ndị ha ji nkume tụọ na ndị ha kpụrụ akpụ. Unu ga-ebibikwa ebe niile dị
n'elu ugwu niile, ebe ha na-anọ efe arụsị ha niile ofufe. 53 Nwetanụ ala ahụ, birikwa
n'ime ya, n'ihi na enyela m unu ala ahụ ka unu nwere ya. 54 Unu ga-eke ala ahụ site
n'ife nza, dịka agbụrụ unu niile si dị. Ndị bara ụba nye ha ihe nketa dị ukwuu, ndị
dị ole na ole nye ha ihe nketa dị nta. Ihe ọ bụla ruuru agbụrụ ọbụla site n'ife nza
ga-abụ nke ha. Kee ya dịka ebo nna nna unu ha si dị.
55 " 'Ma ọ bụrụ na unu achụpụghị ndị niile bi n'ala ahụ, ndị unu hapụrụ ga-abụrụ
unu iberibe unyi n'anya unu. Ha ga-adịkwara unu ka ogwu nke ga-adụkasị unu ahụ.
Ha ga-enye unu nsogbu n'ala ahụ unu na-aga ibi n'ime ya. 56 Mgbe ahụ kwa, aga m
emeso unu ụdị mmeso ahụ m na-akwado imeso ha ugbu a.' "

# 34

*Oke ala na Kenan*

1 Onyenwe anyị gwara Mosis okwu sị ya, 2 "Nye ndị Izrel iwu sị ha, 'Mgbe
unu banyere n'ala Kenan, ndị a bụ oke ala ndị ahụ unu ga-enweta dịka ihe
nketa unu:

3 " 'Oke ala unu n'akụkụ ndịda ga-etinyetụ aka n'ọzara Zin. Ala unu na ala ndị
Edọm ga-enwekọ oke ala. N'akụkụ ọwụwa anyanwụ, oke ala ndịda unu ga-ebido
na ngwụcha Osimiri Nnu, 4 gafee ndịda Akrabim, gabiga ruo ọzara Zin, gbada

ndịda ruo Kadesh Banea. Site n'ebe ahụ ọ ga-aga ruo Haza Ada, gafee ruo Azmọn,
5 ebe ọ ga-echigharị gbasoro iyi Wadi nke Ijipt ma kwụsị n'osimiri Mediterenịa.
6 Oke ala unu n'akụkụ ọdịda anyanwụ ga-abụ ọnụ mmiri osimiri Mediterenịa. Nke a ga-abụ oke ala unu.
7 Oke ala unu n'akụkụ ugwu ga-amalite n'osimiri Mediterenịa ruo n'ugwu Hor. 8 Ọ
ga-esitekwa n'ugwu Hor ruo Lebo Hamat, gbatịakwa ruo Zedad, 9 ruo Zifron tutu
kwụsị na Haza Enan. Nke a ga-abụ oke ala unu n'akụkụ ugwu.
10 Oke ala unu n'akụkụ ọwụwa anyanwụ ga-ebido na Haza Enan ruo Shefam. 11 Oke
ala ahụ ga-agbada site Shefam ruo Ribla n'akụkụ ọwụwa anyanwụ Ain. Site n'ebe
ahụ, ọ ga-agbasoro ndịda ọdịda anyanwụ Osimiri Galili. 12 Mgbe ahụ, ọ ga-aga
ogologo ogologo, gbasoro osimiri Jọdan, tutu kwụsị n'Osimiri Nnu.

" 'Nke a bụ ala unu, na oke ala ya n'akụkụ ọbụla.' "

13 Mosis nyere ndị Izrel iwu sị, "Kesaanụ ala a dịka ihe nketa site n'ife nza.
ONYENWE ANYỊ enyela iwu ka enye ya ebo itoolu na ọkara ndị ahụ fọdụrụ. 14 N'ihi na
ebo Ruben na Gad tinyere ọkara ebo Manase, enwetalarị ala ihe nketa ha. 15 Ebo abụọ
n'ọkara ndị a enwetala ihe nketa nke ha n'akụkụ ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan, na ncherita ihu obodo Jeriko."
16 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 17 "Ndị a bụ aha ndị ikom m họpụtara
ịhụ na e kenyere unu ala ahụ dịka ihe nketa unu. Elieza onye nchụaja, na Joshua
nwa Nun. 18 Site n'ebo ọbụla họpụta otu onyendu ka ha nye aka ikesa ala nketa ahụ.

19 "Ndị a bụ aha ndị a họpụtara:

"Kaleb nwa Jefune, site n'ebo Juda.
20 Shemuel nwa Amihud, site n'ebo Simiọn
21 Elidad nwa Kislon, site n'ebo Benjamin.
22 Buki nwa Jogli, onyendu si n'ebo Dan.
23 Haniel nwa Efod, onyendu si n'ebo Manase, nwa Josef.
24 Kemuel nwa Shiftan, onyendu si n'ebo Ifrem, nwa Josef.
25 Elizafan nwa Panak, onyendu si n'ebo Zebụlọn.
26 Paltiel nwa Azan, onyendu si n'ebo Isaka.
27 Abihud nwa Shelomi, onyendu si n'ebo Asha.
28 Pedahel nwa Amihud, onyendu si n'ebo Naftalị."

29 Ndị a bụ ndị ikom ONYENWE ANYỊ nyere iwu si ha kenye ndị Izrel ihe nketa ha n'ala Kenan.

# 35

*Obodo ndị Livayị*

1 N'oge a, mgbe ndị Izrel ka nọ n'akụkụ osimiri Jọdan n'obosara ala Moab, na
ncherita ihu Jeriko, ka ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 2 "Nye ndị Izrel iwu
ka ha nye ndị Livayị ụfọdụ obodo ebe ha ga-ebi. Obodo ndị a ga-abụ ndị si n'ihe nketa ndị Izrel ketara. Nyekwa ha ala ebe anụ ụlọ ha ga-anọ na-akpa nri, nke ga-agba obodo ndị a gburugburu.
3 Obodo ndị a ga-abụrụ ha ebe obibi, ma ala niile
gbara ha gburugburu ga-abụ ebe ịta nri nke igwe ehi na atụrụ, na anụ ụlọ ha niile.
4 "Ala ebe ịta nri nke obodo niile nke unu ga-enye ndị Livayị ga-adị narị mita anọ
na ọkara n'ogologo site na mgbidi obodo ga gburugburu mgbidi obodo ọbụla. 5 Ya
mere n'obodo ndị Livayị ọbụla, ala ịzụ anụ ụlọ ga-adị narị mita anọ na ọkara site

na mgbidi ha ruo n’oke ala ha. Ọ ga-adị narị mita anọ na ọkara n’akụkụ ọwụwa anyanwụ, narị mita anọ na ọkara n’akụkụ ọdịda anyanwụ, narị mita anọ na ọkara n’akụkụ ugwu, narị mita anọ na ọkara n’akụkụ ndịda. Obodo ha ga-adịkwa n’etiti ala ịzụ anụ ụlọ ndị a.

*Obodo mgbaba*

6 “Obodo isii n’ime obodo ndị ahụ unu na-enye ndị Livayị ga-abụ obodo mgbaba,
ebe onye ọbụla gburu mmadụ na-amaghị ama nwere ike gbaga izere ndụ ya. Tinyere
obodo ndị a unu ga-enyekwasị ha iri obodo anọ na abụọ ọzọ. 7 Ya mere obodo niile
a ga-enye ndị Livayị ga-adị iri obodo anọ na asatọ, tinyere obosara ala ịzụ igwe ewu
na atụrụ nke gbara obodo ndị a gburugburu. 8 Obodo unu na-enye ndị Livayị site
n’ihe nketa ndị Izrel ga-abụ dịka unu si keta oke unu. A ga-esite n’aka ebo nwere
ọtụtụ obodo wepụta ọtụtụ obodo, ma site n’aka ebo obodo ha nwere na-ehighị nne
wepụta ole na ole.”
9 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị ya, 10 “Gwa ndị Izrel sị ha, ‘mgbe
unu gafere Jọdan banye n’ala Kenan, 11 họpụtanụ ụfọdụ obodo ka ọ bụrụ obodo
mgbaba ebe mmadụ nwere ike ịgbabanye ma ọ bụrụ na o gbuo mmadụ na-amaghị
ama. 12 Obodo ndị a ga-abụ ebe mgbaba nye onye na-ezere ndụ site n’aka onye ahụ
chọrọ ịbọrọ ọbọ,* ka a ghara igbu onye e boro ebubo igbu mmadụ tutu ruo mgbe e
buru ụzọ kpee ya ikpe n’ihu ọgbakọ. 13 Obodo isii ndị a unu wepụtara ga-abụ obodo
mgbaba. 14 Họpụta obodo mgbaba atọ n’akụkụ ọzọ nke Jọdan. Ka atọ ndị ọzọ dịrị
na Kenan. 15 Obodo ndị a agaghị abụ ebe izere ndụ maka naanị ndị Izrel, kama ọ
dịkwara ndị ọbịa na ndị ọzọ bi n’etiti unu, ka onye na-akpachaghị anya gbuo mmadụ
gbaga ebe ahụ izere ndụ ya.
16 “ ‘Ọ bụrụ na mmadụ e jiri mkpirisi igwe tigbuo mmadụ ibe ya, a ga-agụ onye
dị otu a dịka ogbu mmadụ. A ga-egbukwa ya. 17 A sịkwa na mmadụ ejide n’aka ya
nkume nke o nwere ike iji tugbuo mmadụ, ọ bụrụ na ọ tụọ mmadụ nkume ahụ tugbuo
ya, ọ bụ ogbu mmadụ. Ogbu mmadụ ahụ aghakwaghị ịnwụ. 18 A sikwa na mmadụ ji
ihe e ji osisi tụọ n’aka ya, nke o nwere ike i ji tigbuo mmadụ, ọ bụrụ na o tie mmadụ
ihe osisi ahụ, tigbuo ya, ọ bụ ogbu mmadụ. A ghaghị ime ka ogbu mmadụ ahụ nwụọ.
19 Onye na-abọ ọbọ ọbara ga-egbu ogbu mmadụ ahụ n’onwe ya mgbe ọbụla o zutere
ya. 20 Ọ bụrụ na mmadụ esite n’ekworo nuo onye ọzọ aka, maọbụ kpachara anya tụọ
onye ahụ ihe nke mere ka ọ nwụọ, 21 maọbụ na o sitere n’obi ọnụma jiri aka ya tie
mmadụ ihe nke mere ka ọ nwụọ, a ga-egbu onye ahụ, n’ihi na ogbu mmadụ ka ọ bụ.
Onye na-agwachite ọchụ ga-egbu ogbu mmadụ ahụ mgbe ọbụla o zutere ya.
22 “ ‘Ma ọ bụrụ na mmadụ ebughị iro n’obi nutuo mmadụ ibe ya na mberede,
maọbụ tụọ ya ihe, 23 maọbụ tụtuo nkume nke datara dagbuo mmadụ ibe ya mgbe ọ
na-ahụghị ya, bụ onye na-abụghị onye iro ya, onye ọ na-ebughị n’obi imejọ, 24 mgbe
ahụ, ndị ọgbakọ ga-ekpe ikpe n’etiti onye e boro ebubo na onye na-agwachite ọchụ
dịka usoro iwu ndị a si dị. 25 Nzukọ aghaghị ichekwa onye e boro ebubo na o gburu
mmadụ site n’aka onye na-agwachite ọchụ, zilaga onye ahụ e boro ebubo n’obodo
mgbaba, bụ ebe ha gbalagara. Onye ahụ e boro ebubo ga-anọgide n’obodo mgbaba
ahụ tutu ruo mgbe onyeisi nchụaja nwụrụ, bụ onye ahụ e tere mmanụ nsọ.
26 “ ‘Ma ọ bụrụ na ogbu mmadụ a ahapụ obodo mgbaba ahụ pụọ, ọ bụrụkwa, 27 na
onye ahụ na-abọ ọbọ ọbara achọta ya n’azụ obodo mgbaba ahụ, o nwere ike igbu
onye ahụ e boro ebubo, ikpe igbu mmadụ agaghị ama ya. 28 Onye ahụ e boro ebubo na
o gburu mmadụ aghaghị ịnọ n’ime obodo mgbaba ahụ tutu ruo mgbe onyeisi nchụaja
nwụrụ. Ọ bụ naanị mgbe onyeisi nchụaja nwụchara, ka ha nwere ike ịlaghachi n’ụlọ
ya, n’ihe nketa ya.

* **35:12** 35:12 Onye ọbụla ga-abọrọ ọbọ a, ga-abụ nwanne onye e gburu egbu.

29 “ ‘Ndị a bụ usoro iwu ga-adịgide nye unu site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ, n’ebe obibi
unu niile.
30 “ ‘Onye ọbụla gburu mmadụ ga-anwụ. A ga-ama ya ikpe ọnwụ naanị mgbe e
nwere karịa otu onye akaebe. Ọ dịghị onye ọbụla a ga-egbu n’ihi akaebe nke otu
onye gbara megide ya.
31 “ ‘Unu a narakwala ihe ịgbara isi n’ọnọdụ ndụ nke onye gburu mmadụ, bụ onye
nke ikpe ọnwụ mara. Aghaghị ime ka ha nwụọ.
32 “ ‘Unu a narakwala ihe mgbapụta site n’aka onye ọbụla nke gbagara n’obodo
mgbaba, site otu a kwere ka ha lọghachite azụ ga biri n’ala nke aka ha tupu onyeisi
nchụaja anwụọ.
33 “ ‘Unu emerụkwala ala ahụ nke unu bi n’ime ya. Ọbara igbu ọchụ na-emerụ
ala. Ọ dịkwaghị mkpuchi mmehie a ga-eme banyere ala a wufuru ọbara n’ime ya,
ma ọ bụghị naanị ọbara nke onye ahụ gburu ọchụ ahụ. 34 Unu emerụla ala ahụ unu
na-aga ibi n’ime ya. N’ihi na mụ onwe m bikwa n’ebe ahụ, mụ bụ Onyenwe anyị bi
n’etiti ụmụ Izrel.’ ”

# 36

*Oke ụmụ ndị inyom Zelofehad*

1 N’oge ahụ, ndịisi ezi agbụrụ Gilead, nwa Makia, nwa Manase, otu n’ime ụmụ
Josef, bịakwutere Mosis na ndị ndu, na ndịisi ezi ụmụ Izrel sị ha: 2 “Mgbe Onyenwe
anyị nyere unu onyenwe m iwu inye ụmụ Izrel ala ahụ n’ihe nketa site n’ife nza,
onye nyekwara gị iwu iwere ihe nketa nwanne anyị nwoke Zelofehad nyefee n’aka
ụmụ ya ndị inyom. 3 Ugbu a, ọ bụrụ na ha aluọ ndị ikom Izrel si n’ebo ọzọ, mgbe
ahụ, ihe nketa ha ga-abụ nke anapụrụ anyị, tụkwasị n’ihe nketa nke ebo ebe ha lụrụ
di. N’ụzọ dị otu a, ihe nketa anyị ga-abụ nke e wepụrụ ihe site na ya. 4 Mgbe afọ
inwere onwe nye Izrel ruru, a ga-agụnye ihe nketa ha n’ebo ebe ha lụrụ dị. A ga-esi
otu a wepụ ala ha site n’ihe nketa nke nna nna anyị ha ketara.”
5 Mgbe ahụ, Mosis nyere ndị Izrel ntụziaka site n’iwu Onyenwe anyị sị, “Ihe ndị
ikom ebo Josef na-ekwu ziri ezi. 6 Ma nke a bụ iwu Onyenwe anyị na-enye maka ụmụ
ndị inyom Zelofehad. Ha nwere ike ịlụ onye ọbụla masịrị ha, ma onye ha ga-alụ ga-
abụrịrị onye si n’agbụrụ ebo nna ha. 7 O nweghị ihe nketa ọbụla n’Izrel ga-esi n’aka
otu ebo gafee n’ebo ọzọ. N’ihi na ihe nketa nke ebo ọbụla ga-adịgidere ha dịka otu
e siri kee ya nye nna nna ha. 8 Nwa nwanyị Izrel ọbụla ketara ala n’ebo Izrel ọ bụla
ga-alụ di site n’agbụrụ ebo nna ya. Ka ala ha ghara ịgafere ebo ọzọ. 9 Ọ dịghị ihe
nketa ọbụla ga-esi n’otu ebo feere ebo ọzọ. N’ihi na ebo Izrel ọbụla ga-edebere onwe
ha ala ha ketara.”
10 Ya mere, ụmụ ndị inyom Zelofehad mere dịka Onyenwe anyị nyere Mosis n’iwu.
11 Ụmụ Zelofehad ndị a: Mahla, na Tịaza, na Hogla, na Milka, na Noa, lụrụ ndị ikom
si n’ebo nna ha. 12 Ha lụrụ di n’agbụrụ ụmụ Manase, nwa Josef. N’ụzọ dị otu a, ihe
nketa ha dịgidere n’ebo na agbụrụ nna ha.

13 Ndị a bụ iwu na ụkpụrụ Onyenwe anyị sitere n’aka Mosis nye ndị Izrel n’oge ha
nọ n’obosara ala Moab, n’akụkụ osimiri Jọdan, na ncherita ihu Jeriko.

# Diuteronomi

*Ụmụ Izrel ebuliekwa ije*

1 Ndị a bụ okwu ahụ Mosis gwara Izrel niile mgbe ha nọ n’ọwụwa anyanwụ Jọdan,*
n’ọzara n’Araba, ebe chere ihu n’obodo Suf, n’etiti Paran na Tofel na Leban, na
Hazerọt, na Dizahab. 2 Site n’ugwu† Horeb ruo Kadesh Banea, bụ njem abalị iri na
otu ma e soro ụzọ gawara ugwu Sia.
3 Ọ bụ n’abalị mbụ nke ọnwa iri na otu, nke afọ iri anọ ka Mosis gwara ụmụ Izrel
ihe niile ONYENWE ANYỊ nyere ya n’iwu banyere ha. 4 Nke mere mgbe ọ lụgbuchara
Saịhọn, eze ndị Amọrait, onye na-achị na Heshbọn, lụgbukwaa Ọg, eze ndị Bashan
na Edrei, onye na-achị n’Ashtarọt.
5 N’ọwụwa anyanwụ Jọdan, n’ala ndị Moab ka Mosis nọ kọwaara ụmụ Izrel iwu
ndị a sị ha,

6 ONYENWE ANYỊ Chineke anyị gwara anyị n’ugwu Horeb sị, “Unu anọọla ọtụtụ oge
n’ugwu a. 7 Ugbu a bilienụ ije, baa n’ala ugwu ugwu ndị Amọrait. Gaakwanụ n’ala
niile ndị agbataobi ha bụ Araba, n’ugwu niile na n’ebe dị ala ala na Negeb, n’ọnụ
mmiri nke oke osimiri, garuokwanụ ala ndị Kenan na nke ndị Lebanọn, gagidekwanụ
ruo n’osimiri ukwu Yufretis. 8 Lee, enyela m unu ala ahụ niile! Baanụ n’ime ya,
bichiekwanụ ala ahụ ONYENWE ANYỊ ṅụrụ iyi na ọ ga-enye nna nna unu bụ Ebraham,
Aịzik, Jekọb na ụmụ ụmụ ha niile ndị ga-esote ha.”

*Nhọpụta ndị ndu*

9 N’oge ahụ, agwara m unu ụmụ Izrel okwu sị, “Unu bụụrụ m oke ibu arọ,
apụghịkwa m ibu unu naanị m. 10 ONYENWE ANYỊ Chineke unu emeela ka unu
mụbaa dịka kpakpando nke eluigwe. 11 Ka ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna unu
ha meekwa ka unu mụbaa n’ọnụọgụgụ, puku kwụrụ puku, ya gọziekwa unu dịka o
kwere na nkwa. 12 Ma olee otu naanị m ga-esi buo ibu unu, doziekwa ise okwu unu
na nsogbu unu niile? 13 Họpụtanụ ụfọdụ ndị ikom nwe amamihe, nghọta, na ndị a
na-akwanyere ụgwụ, site n’ebo niile unu n’otu n’otu, aga m emekwa ha ndịisi unu.”
14 Unu zara sị m, “Ihe ahụ i zubere ime dị mma.”
15 Ya mere, a kpọọrọ m ndịisi n’ebo dị iche iche, ndị ikom maara ihe, na ndị a
na-asọpụrụ, mee ka ha bụrụ ndịisi ọchịchị unu, ụfọdụ ha na-elekọta puku mmadụ,
ụfọdụ narị mmadụ, ndị ọzọ na-elekọta iri mmadụ ise, ndị ọzọ mmadụ iri, ka ha
bụrụ ndị ndu ebo dị iche iche. 16 Adọrọ m ndị ikpe unu a aka na ntị n’oge ahụ
sị ha, “Nụrụnụ ikpe niile metụtara esemokwu dị n’etiti ụmụnna unu, ma kpeenụ
ikpe ọbụla na-eleghị mmadụ anya n’ihu ma ikpe ahụ ọ dị n’etiti ụmụnna unu ndị
Izrel, maọbụ n’etiti ndị Izrel na ndị ọbịa. 17 Kpeenụ ikpe ziri ezi nye onye ukwu na
onye nta. Elekwala ndị unu na-ekpe ikpe anya n’ihu, n’ihi na unu na-ekpe ikpe unu
n’ọnọdụ Chineke.” Enyekwara m ha iwu sị ha wetaranụ m ikpe niile siri unu ike ka
m leba ha anya. 18 N’oge ahụ, agwara m unu ihe niile unu na-aghaghị ime.

*Nzipụ ndị Nnyopụta*

19 Emesịa, dịka iwu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị nyere si dị, anyị hapụrụ ugwu
Horeb, chee ihu gawa n’ala ugwu ugwu ndị Amọrait. Ụzọ anyị si gafee ọzara ukwu
ahụ dị egwu nke unu ji anya unu hụ tutu anyị erute Kadesh Banea. 20 Mgbe ahụ
agwara m unu okwu sị, “Unu erutela n’ala ugwu ugwu ndị Amọrait, ala ahụ ONYENWE

---

* **1:1** 1:1 Nke a bụ n’ofe Jọdan † **1:2** 1:2 Ugwu Horeb Aha ọzọ a na-akpọ ugwu Horeb bụ ugwu Saịnaị.

Anyị Chineke anyị na-enye anyị. 21 Lee, Onyenwe Anyị Chineke unu enyela unu ala
ahụ. Gaanụ nweta ya ka ọ bụrụ nke unu dịka Onyenwe Anyị Chineke nna nna unu
gwara unu sị, Unu atụla egwu, ka obi unu gharakwa ịda mba."‡
22 Ma unu niile bịakwutere m sị m, "Ka anyị zipụ ndị nnyocha ka ha gaa mata ezi
ụzọ e si abanye n'ala ahụ. Anyị ga-ekpebikwa obodo ndị anyị ga-ebu ụzọ banye."
23 Ntụpụta unu juru m afọ, n'ihi ya, esitere m n'etiti unu họpụta mmadụ iri na
abụọ, otu onye site n'ebo ọbụla.§ 24 Ndị a pụrụ, gbagoo ala ugwu ugwu ahụ tutu
bịaruo na Ndagwurugwu Eshkọl. Ha legharịrị anya n'ala ahụ. 25 Ha ghọtara ụfọdụ
n'ime mkpụrụ osisi mịrị n'ala ahụ, bulatara anyị. Ha wetakwaara anyị ozi, sị, "Ala
ahụ Onyenwe Anyị Chineke anyị na-aga inye anyị dị mma."

*Nnupu isi ụmụ Izrel*

26 Ma unu jụrụ ịga n'ala ahụ, si otu a nupu isi megide iwu Onyenwe Anyị Chineke
unu nyere. 27 Unu nọ n'ụlọ ikwu unu tamuo ntamu na-asị, "N'ezie Onyenwe Anyị
ahụghị anyị n'anya. Lee ka o si site n'ala Ijipt dupụta anyị were anyị nyefee n'aka
ndị Amọrait ka ha laa anyị n'iyi! 28 Ebee ka anyị nwere ike ịga ugbu a? Ụmụnna anyị
gara nyochaa ala ahụ emenyela anyị egwu. Ha sịrị, 'Na ndị bi n'ala ahụ toro ogologo
karịa anyị bụrụkwa ndị dị ike. Ha sịkwara na mgbidi e ji gbaa obodo ha gburugburu
topuru ruo n'eluigwe! Anyị hụkwara ụmụ Anak* n'ebe ahụ.' "
29 Ma agwara m unu sị, "Ka ụjọ ghara ịtụ unu, unu atụla ndị ahụ egwu. 30 Onyenwe
Anyị Chineke unu, onye na-aga n'ihu unu, ga-alụrụ unu ọgụ,† dịka o si lụọra unu ọgụ
n'ihu anya unu, n'ala Ijipt, 31 nakwa n'ime ọzara, ebe unu nọ hụ otu Onyenwe Anyị
Chineke unu si bulie unu elu dịka nna si ebuli nwa ya elu, n'ụzọ niile unu gbasoro
tutu unu erute ebe a."
32 Ma agbanyeghị nke a, unu ekwenyeghị na Onyenwe Anyị Chineke unu, 33 bụ
onye gara n'ihu unu n'ije unu niile, ịchọpụtara unu ebe unu ga-ama ụlọ ikwu unu,
onye jikwa ọkụ duo unu n'abalị, jiri igwe ojii duo unu n'ehihie, iji zi unu ụzọ unu
ga-agbaso.
34 Ma otu o si dị, mgbe Onyenwe Anyị nụrụ ntamu unu, iwe dị ukwuu were ya, n'ihi
ntamu unu, ọ ṅụrụ iyi sị, 35 "O nweghị otu onye n'ime ọgbọ ọjọọ a ga-anọ ndụ hụ ala
ọma ahụ m ṅụrụ iyi inye nna nna unu, 36 karịakwa Kaleb, nwa Jefune. Ọ ga-ahụ ala
ahụ anya, aga m enye ya na ụmụ ụmụ ya ala ahụ ọ zọkwasịrị ụkwụ ya, n'ihi na o ji
obi ya niile sogide Onyenwe Anyị."
37 Ọ bụkwa n'ihi unu ka Onyenwe Anyị ji weso m iwe, na-asị, "Gị onwe gị kwa, ị
gaghị aba n'ebe ahụ! 38 Kama Joshua, nwa Nun, onye na-enyere gị aka, ga-edu ha
banye n'ebe ahụ. Gbaa ya ume n'ihi na ọ bụ ya ga-edu ndị Izrel inweta ala ahụ
dịka ihe nketa ha. 39 Ọ bụkwa ụmụntakịrị ahụ na-amaghị ihe dị iche site n'ihe ọma
na ihe ọjọọ ka m ga-enye ala ahụ. Ha ga-abanye n'ime ya, nweta ya dịka ihe nketa.
40 Ma unu onwe unu, bilienụ, chigharịa gawa n'ime ọzara. Cheenụ ihu unu n'Osimiri
Uhie."
41 Mgbe ahụ, unu kwupụtara mmehie unu sị, "Anyị emehiela megide Onyenwe
Anyị. Anyị ga-agbago n'ala ahụ gaa lụọ ọgụ, dịka Onyenwe Anyị Chineke anyị nyere
anyị n'iwu." Ya mere, onye ọbụla n'ime unu yikwasịrị ihe agha ya na-eche na ọ dị
mfe ịgbago n'obodo ndị ahụ dị n'ugwu.
42 Ma Onyenwe Anyị sịrị m, "Gwa ha, 'Unu arịgokwala, gaa buo agha, n'ihi na
agaghị m anọnyere unu. Ndị iro unu ga-emerikwa unu.' "
43 Ya mere, agwara m unu, ma unu aṅaghị ntị. Unu nupuru isi n'iwu Onyenwe
Anyị, jiri nganga juru unu obi bilie, rigoo n'obodo ahụ dị n'ugwu. 44 Ndị Amọrị bụ

‡ **1:21** 1:21 Jos 1:6,9 § **1:23** 1:23 Ọnụ 13:2-3 * **1:28** 1:28 Ụmụ Anak Ụmụ Anak bụ ndị bi n'ala Kenan. Ha bụ ndị a kọwara dịka ndị gbara nnọọ dimkpa, topụkwa etopụ. Ọnụ 13:28 † **1:30** 1:30 Ọpụ 14:14; Dit 3:22; 20:4; Neh 4:20

ndị bi n’ugwu ahụ pụtara, ha chụsasịrị unu dịka aṅụ si eme, tidaa unu n’ala site na
Sia ruo Homa. 45 Emesịa, unu lọghachiri bịa kwaa akwa n’ihu ONYENWE ANYỊ, ma o
geghị ntị nye olu akwa unu, ọ ṅakwaghị unu ntị. 46 N’ihi ya, unu nọrọ ọtụtụ oge na
Kadesh.

# 2

*Mwagharị n’ọzara*

1 Anyị laghachiri azụ chee ihu n’ọzara n’ụzọ gawara Osimiri Uhie, dịka ONYENWE
ANYỊ gwara m. Ọtụtụ afọ ka anyị nọ na-awagharị gburugburu ugwu Sia.
2 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị m, 3 “Unu agbaala ala ugwu ugwu a gburugburu
ogologo oge, cheenụ ihu n’akụkụ ugwu. 4 Nye ụmụ Izrel iwu ndị a: ‘Unu ga-aga site
n’ala ụmụnna unu ndị Edọm gafee. Ndị Edọm bụ ụmụ ụmụ Ịsọ, onye biri na Sia.
Ha ga-atụ egwu mgbe ha nụrụ na unu ga-esi n’ala ha gafee, ma kpachapụnụ anya.
5 Unu akpasukwala ha ka ha lụsoo unu ọgụ, n’ihi na agaghị m enye unu ala ọbụla
sitere n’ala ha, ọ bụladị ebe ga-ezuru unu ịzọkwasị ụkwụ unu. Enyela m Ịsọ ala niile
nke ugwu Sia dịka nke aka ya.* 6 Jirinụ ọlaọcha kwụọ ha ụgwọ nri ọbụla unu riri,
jirikwanụ ọlaọcha kwụọ ha ụgwọ n’ihi mmiri ọbụla unu ṅụrụ.’ ”
7 ONYENWE ANYỊ Chineke unu agọziela unu n’ihe ọbụla bụ akaọrụ unu. O cheela
nzọ ụkwụ unu nche iri afọ anọ ndị a niile unu wagharịrị n’ọzara ukwuu a. ONYENWE
ANYỊ Chineke unu anọnyerela unu, ọ dịkwaghị ihe kọrọ unu.
8 Ya mere, anyị sitere n’ala ụmụnna anyị bụ ụmụ Ịsọ,† ndị bi na Sia gafee. Anyị
hapụkwara ụzọ Araba nke si Elat na Eziọn Geba, tụgharịa gawa elu elu ụzọ ọzara
Moab.
9 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ dọrọ anyị aka na ntị sị, “Unu esogbula maọbụ lụso ndị
Moab ọgụ n’ihi na unu enweghị oke n’ala ha, n’ihi na enyela m ụmụ ụmụ Lọt ala Ar
ka ọ bụrụ ihe nketa nke ha.”
10 (Ndị biri n’ebe ahụ na mgbe gara aga bụ ndị Emim, agbụrụ ha gbara dimkpa
dịkwa ọtụtụ n’ọnụọgụgụ. Ha toro ogologo dịka ndị Anak. 11 A na-eche na ha bụ ndị
Refaim, dịka ndị Anak, ma ndị Moab na-akpọ ha ndị Emim. 12 Ma mgbe gara aga ọ bụ
ndị Hor bi na Sia, ma ndị Edọm, ụmụ Ịsọ, chụpụrụ ha. Ha bibiri ndị Hor bichikwaa
ala ha, dịka ụmụ Izrel si bichie n’ala ahụ ONYENWE ANYỊ nyere ha dịka ihe nketa.)
13 ONYENWE ANYỊ gwara anyị okwu sị, “Ugbu a bilienụ, gafee Ndagwurugwu Zered.”
Anyị bilikwara gafee.
14 Iri afọ atọ na asatọ gasịrị, site na mgbe anyị hapụrụ Kadesh Banea ruo mgbe
anyị gafere Ndagwurugwu Zered! N’oge a, ọgbọ ndị ikom ahụ niile na-alụ agha
anwụchaala site n’ọmụma ụlọ ikwu, dịka ONYENWE ANYỊ ṅụrụ ha n’iyi. 15 E, aka
ONYENWE ANYỊ dị megide ha, ruo mgbe o mere ka ha niile nwụchaa site n’ọmụma
ụlọ ikwu ahụ.
16 Mgbe onye nke ikpeazụ n’ime ndị niile a tozuru ije agha nwụchara, 17 ONYENWE
ANYỊ sịrị m, 18 “Taa, ụmụ Izrel ga-esi na Ar gafee oke ala ndị Moab. 19 Mgbe unu bara
n’ala ndị Amọn, unu esogbula ha, unu alụsola ha ọgụ, n’ihi na agaghị m enye unu
ala ndị Amọn. Enyela m ụmụ ụmụ Lọt ala ahụ dịka ihe onwunwe ha.”
20 ‡ Ndị bi n’ebe a na mbụ bụ ndị Refaim, ma ụmụ Amọn na-akpọ ha ndị Zamzum.
21 Ha bụ agbụrụ dị ukwuu n’ọnụọgụgụ, siekwa ike nke ukwuu, ha toro ogologo dịka
ụmụ Anak. ONYENWE ANYỊ sitere n’aka ndị Amọn laa ha n’iyi, bụ ndị chụpụrụ ha
ma bichie n’obodo ha. 22 ONYENWE ANYỊ mekwara otu ihe ahụ nye ndị agbụrụ Ịsọ
bụ ndị bi n’ugwu Sia mgbe ọ lara ndị Hor bụ ụzọ biri n’ebe ahụ n’iyi. Ha chụpụrụ

* **2:5** 2:5 Ndị Edọm, ndị Moab na ndị Amọn nwere ka ha si bụrụ ụmụnna ndị Izrel. Chineke nyere ha ala nke aka ha, Jen 36:6-8; Jos 24:4 † **2:8** 2:8 Ụmụ Ịsọ Ha kwesiri ịkpọ ndị Edọm ụmụnna ha, n’ihi na nna nna ha bụ Ịsọ bụ nwanne Jekọb. Jen 25:24-26; Jos 24:4 ‡ **2:20** 2:20 Jen 15:5

ha, bichie ala ha ruo taa. 23 Ebe ọzọkwa ONYENWE ANYỊ mere ihe dị otu a bụ mgbe o
mere ka ndị Kafto laa ndị Avim n'iyi. Ha bichiri obodo nta niile ndị Avim nwere nke
dị gburugburu ebe ahụ rukwaa Gaza.

### *Mmeri Saịhọn eze Heshbọn*

24 Emesịa, ONYENWE ANYỊ sịrị, "Gafeenụ ndagwurugwu dị warawara nke Anọn,
baakwanụ n'alaeze Saịhọn, onye Amọrị, eze obodo Heshbọn. Lụsonụ ya agha,
bichiekwanụ n'ala ya n'ihi na enyefeela m ya bụ eze na ala ya n'aka unu. 25 Site
taa gaa n'ihu, aga m etinye egwu na ụjọ n'obi ndị niile bi n'okpuru mbara eluigwe.
Ha ga-anụ akụkọ unu tụọ oke egwu, maakwa jijiji n'ihi unu."

26 Esitere m n'ọzara Kedemot zipụ ndị ozi, ka ha jekwuru Saịhọn, eze Heshbọn,
zie ya ozi na anyị chọrọ udo, sị, 27 "Kwere ka anyị site n'obodo gị gafee. Ọ bụ naanị
n'okporoụzọ ka anyị ga-anọ. Anyị agaghị atụgharị gaa n'aka nri maọbụ n'aka ekpe.
28 Renye anyị ihe oriri anyị ga-eri na mmiri anyị ga-aṅụ n'ọnụ ahịa ọlaọcha. Naanị
kweere ka anyị gabiga n'ụkwụ ala, 29 dịka ụmụ Isọ, bụ ndị bi na Sia, nakwa ndị Moab
bi n'obodo Ar meere anyị, ruo mgbe anyị gafere Jọdan banye n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ
Chineke anyị na-enye anyị." 30 Ma Saịhọn, eze Heshbọn, ekweghị ka anyị si n'ala ya
gafee. N'ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke unu mere ka mmụọ ya sie ike, meekwa ka o
mesie obi ya ike, ka o si otu a nyefee ya n'aka unu dịka ọ mere ugbu a.

31 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara m sị, "Lee, amalitela m iwere Saịhọn na obodo
a nyefee unu n'aka. Ngwanụ, malitenụ ibuso ya agha! Merienụ ya, nwetakwanụ ala
ya."

32 Mgbe Saịhọn na ndị agha ya niile pụtara izute anyị n'agha n'ebe a na-akpọ
Jehaz, 33 ONYENWE ANYỊ Chineke anyị nyefere ya n'aka anyị. Anyị gburu ya, gbukwaa
ụmụ ya ndị ikom niile, na ndị agha ya niile. 34 N'oge ahụ, anyị meriri obodo ya
niile, bibiekwa ha niile kpamkpam, ma ndị ikom, ma ndị inyom, ma ụmụntakịrị.
Anyị ahapụghị mmadụ onye ndụ. 35 Ma ihe ndị anyị bukọọrọ bụ naanị anụ ụlọ, na
ngwongwo ndị ọzọ dị iche iche anyị si n'obodo ndị anyị meriri kwata. 36 Anyị lụgburu
ndị niile bi n'obodo dị site n'Aroea ruo n'ọnụ ndagwurugwu dị warawara nke Anọn,
na site n'etiti ndagwurugwu ahụ ruo Gilead. O nweghị obodo ọbụla rara anyị ahụ
imeri, n'ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke nyefere ha niile n'aka anyị. 37 Ma dịka usoro
iwu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị si dị, anyị abanyeghị ala ndị Amọn ọbụla maọbụ
ruokwa n'ala dị n'akụkụ iyi Jabọk nso, maọbụ n'obodo ndị ahụ niile dị n'ugwu.

## 3

### *Izrel emerie eze Ọg*

1 Ihe ọzọ bụ na anyị chigharịrị, gbagoo n'ụzọ gawara Bashan. Ma Ọg, eze Bashan,
ya na ndị agha ya niile biliri chịrị agha pụta izute anyị n'agha na Edrei. 2 Ma ONYENWE
ANYỊ gwara m okwu, sị, "Atụla ya egwu, n'ihi na ewerela m ya na ndị agha ya niile,
na ala ya, nyefee gị n'aka. Mee ya ihe i mere Saịhọn eze ndị Amọrait, onyeisi obodo
Heshbọn."

3 Ya mere, ONYENWE ANYỊ bụ Chineke anyị nyefere Ọg, eze Bashan na ndị agha ya
niile n'aka anyị. Anyị gbuchapụkwara ha niile, na-ahapụghị onye ọbụla ndụ. 4 N'oge
ahụ, anyị lụgburu obodo ya. Ọ dịghị obodo ọbụla n'ime iri obodo isii ahụ niile nke
anyị na-anaraghị ha, ya bụ akụkụ Agob niile bụ alaeze Ọg n'ime Bashan. 5 Obodo ndị
a bụ obodo e wusiri ike, nwechara mgbidi dị elu nke ukwuu, nwekwaa ọnụ ụzọ na
mkpọrọ e ji akpọchi ha. Anyị lụgbukwara ọtụtụ obodo nta ndị ọzọ, ndị na-enweghị
mgbidi. 6 Anyị bibiri ihe niile dị n'obodo Bashan, dịka anyị mere n'obodo Saịhọn,
eze Heshbọn. Anyị gburu mmadụ niile bi n'ime ha, nwoke, nwanyị, na ụmụntakịrị.

7 Ma anụ ụlọ ha niile, na ihe nkwata si n’obodo ha niile, bụ ihe anyị lụtara n’agha
nye onwe anyị.

8 Mgbe ahụ, anyị napụrụ ala ahụ site n’aka eze abụọ ndị Amọrait, ya bụ ala ndị
dị n’akụkụ ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan. Ha dị site na ndagwurugwu Anọn ruo
n’ugwu Hemon. 9 (Aha ndị Saịdọn na-akpọ ugwu Hemon bụ Siriọn, ma ndị Amọrait
na-akpọ ya Senia.) 10 Anyị meriri obodo ndị ahụ niile dị n’ala dị larịị, meriekwa
Gilead niile na Bashan, tutu ruo obodo Saleka na Edrei, obodo ndị dị n’alaeze Ọg,
eze Bashan. 11 (Ọg, eze ndị Bashan bụ naanị onye fọdụrụ ndụ n’agbụrụ ndị Refaim.
E ji igwe kwaa ihe ndina ya, nke ogologo ya dị mita anọ, nke obosara ya bụkwa mita
abụọ. Ihe ndina a dị ruo taa n’obodo Raba, otu n’ime obodo ndị Amọn.)

### *Ihe nketa n’ọwụwa anyanwụ Jọdan*

12 Mgbe anyị nwetara ala ndị a, eweere m ya nye ndị Ruben, na Gad, ya bụ, oke
ala dị n’ebe obodo ugwu Aroea, nke dị n’akụkụ ndagwurugwu Anọn. Tinyekwara
ọkara obodo ugwu Gilead, na obodo niile dị n’ime ya. 13 Ala fọdụrụ na Gilead nakwa
Bashan niile na alaeze Ọg ka m nyere otu ọkara ebo Manase. Nke a bụ ala Agob
niile dị na Bashan, bụ ndị amaara dịka ala ndị Refaim. 14 Jaịa, onye si n’ebo Manase,
were ala niile dị n’Agob, ọ bụladị ruo n’oke ala ndị Geshua na ndị Maaka. Ọ kpọrọ
ya n’aha ya, nke mere na ruo taa ihe a na-akpọ Bashan bụ Havọt Jaịa, nke pụtara,
obodo Jaịa. 15 Makia ka m nyere Gilead. 16 Ma Ebo Ruben na Gad ka m nyere ala
niile dị site na Gilead ruo n’etiti ndagwurugwu Anọn, na site na ndagwurugwu a
ruo n’iyi Jabọk, nke bụ oke ala ụmụ Amọn. Etiti ndagwurugwu Anọn bụkwa oke ala
ebo Ruben na Gad. 17 Oke ala ha n’akụkụ ọdịda anyanwụ bụ osimiri Jọdan nke dị
n’Araba. Oke ala a sitere na Kineret gbatịa ruo n’Osimiri Araba (ya bụ Osimiri Nnu),
nke dị na mgbada ugwu Pisga.

18 Enyekwara m unu iwu n’oge ahụ sị, “Onyenwe anyị Chineke unu enyela unu ala
a ka unu nwere ya. Ma ndị unu niile, ndị bụ dimkpa, ndị jikeere maka agha, ga-agafe
nọrọ ndị Izrel ndị ọzọ n’ihu. 19 Otu ọ dị, ebe ọ bụ na unu nwere ọtụtụ anụ ụlọ, ndị
nwunye unu na ụmụntakịrị unu ga-ebi n’obodo ndị m nyere unu, lekọtaa anụ ụlọ
unu anya, 20 tutu ruo mgbe Onyenwe anyị ga-enye ụmụnna unu mmeri dịka o nyere
unu. Mgbe ha nwetara ala Onyenwe anyị Chineke anyị na-enye ha n’ofe Jọdan, onye
ọbụla n’ime unu nwere ike lọghachi bịa biri n’ala unu.”

### *Mosis agaghị agafe osimiri Jọdan*

21 N’oge ahụ, agwara m Joshua okwu sị, “I jirila anya gị hụ ihe Onyenwe anyị
Chineke gị mere eze abụọ ndị a. Otu a ka ọ ga-emekwa alaeze niile dị n’ofe Jọdan
ebe unu na-aga. 22 Atụla ha egwu, n’ihi Onyenwe anyị Chineke gị ga-alụrụ gị ọgụ.”

23 N’oge ahụ, arịrịọ m Onyenwe anyị arịrịọ sị ya, 24 “Onye kachasị ihe niile elu, bụ
Onyenwe anyị ị malitela igosi mụ bụ ohu gị ịdị ukwuu gị na ike gị. O nweghị chi ọzọ
dị n’eluigwe maọbụ n’ụwa pụrụ ịrụ ọrụ ebube niile ị rụrụ. 25 Kwere ka m gafee hụ
ala ọma ahụ dị n’ofe ọzọ nke Jọdan, ala ugwu ugwu ahụ mara mma, na Lebanọn.”

26 Ma n’ihi unu, Onyenwe anyị wesoro m iwe jụ ige m ntị! Onyenwe anyị gwara m
okwu sị m, “O zuola! Agwakwala m ihe ọbụla banyere okwu a. 27 Gaa, rigoruo n’elu
ugwu Pisga, site n’ebe ahụ lepụ anya n’akụkụ ugwu na ndịda ma n’akụkụ ọwụwa
anyanwụ na ọdịda anyanwụ. Ọ bụ anya gị ka ị ga-eji hụ ala ahụ, n’ihi na ị gaghị
agafe osimiri Jọdan. 28 Nye Joshua ike ka ọ nọchie ọnọdụ gị. Gbaakwa ya ume,* n’ihi
na ọ bụ ya ga-edu ndị a gafee Jọdan iketa ala ahụ niile ị ga-ahụ.” 29 Ya mere, anyị
nọdụrụ na ndagwurugwu ahụ dị nso na Bet-Peoa.

---

* **3:28** 3:28 Ọnụ 27:18,23; Dit 31:3,7-8,23

# 4

*Nrube isi dị mkpa*

1 Ugbu a, O Izrel, gee ntị n'ụkpụrụ na iwu niile m na-aga ikuziri unu ka unu na-
eme ma ọ bụrụ na unu chọrọ ịdị ndụ banye, ma nwetakwa ala ahụ ONYENWE ANYỊ
Chineke nna nna unu ha na-enye unu. 2 Unu atụkwasịla iwu ọzọ n'elu iwu ndị a, ma
ọ bụkwanụ site na ha wepụ iwu ọbụla. Kama, meenụ ihe iwu ndị a na-ekwu, n'ihi
na ha si n'aka ONYENWE ANYỊ Chineke unu.
3 Unu ji anya unu hụ ihe ONYENWE ANYỊ mere na Baal-Peoa. ONYENWE ANYỊ Chineke
unu sitere n'etiti unu bibie ndị niile gbasoro Baal nke Peoa. 4 Ma unu niile nọgidesịrị
ike soro ONYENWE ANYỊ Chineke unu bụ ndị dị ndụ taa.
5 Lee, ezila m unu ụkpụrụ na iwu niile ONYENWE ANYỊ Chineke m sị m zi unu, iwu
unu na-aghaghị idebe n'ala ahụ unu na-aga inweta. 6 Lezienụ anya hụ na unu debere
ha, n'ihi na nke a ga-egosi mba gbara unu gburugburu na unu bụ ndị nwere nghọta
na amamihe. N'ihi na mgbe ha nụrụ banyere ụkpụrụ ndị a, ha ga-ekwu okwu sị,
"N'ezie, ndị jupụtara na mba ukwu a bụ ndị nwere nghọta na amamihe." 7 Olee
mba ọzọ dị ukwuu, nke e mere ka chi ha nọọ ha nso dịka ONYENWE ANYỊ Chineke
anyị si na-anọ anyị nso mgbe ọbụla anyị kpọkuru ya n'ekpere? 8 Olee mba ukwu ọzọ
dịkwa nke nwere ụkpụrụ na iwu ziri ezi dịka iwu ndị a m na-enye unu taa?
9 Naanị kpachapụnụ anya unu, ma cheenụ onwe unu nche mgbe niile, ka unu
ghara ichefu ihe ndị a niile unu ji anya unu hụ, ka ha gharakwa isi n'obi unu pụọ
ụbọchị niile nke ndụ unu. Kama kuziere ha ụmụ unu, na ụmụ ụmụ ndị ga-esote ha.
10 Cheta ụbọchị ahụ unu bịara guzo n'ihu ONYENWE ANYỊ Chineke unu n'ugwu Horeb,
n'ụbọchị ahụ ọ gwara m okwu sị m, "Kpọkọtaa ụmụ Izrel ka ha bịa n'ihu m, nụrụ
okwu m, ka ha nwee ike mụta ịtụ m egwu ụbọchị niile nke ha ga-ebi n'ala ahụ, ka
ha nweekwa ike ikuziri ụmụ ha." 11 Ọ bụ n'ala ugwu ahụ ka unu bịara nso, guzo,
mgbe ọkụ si n'ugwu ahụ na-ere, na-alali elu iru eluigwe, ya na igwe ojii* nakwa oke
ọchịchịrị. 12 Mgbe ahụ ONYENWE ANYỊ sitere n'ọkụ ahụ gwa unu okwu. Unu nụrụ ụda
olu ya, ma unu ahụghị oyiyi ọbụla anya, naanị ụda olu. 13 O nyere unu ọgbụgba ndụ
ya, nke unu na-aghaghị idebe. Ha dị iwu iri. O dere ha na mbadamba nkume abụọ.
14 E, ọ bụ n'oge ahụ ka ONYENWE ANYỊ nyere m iwu sị m nye unu ụkpụrụ na iwu unu
ga-agbaso mgbe unu banyere n'ala ahụ dị n'ofe Jọdan, nke unu na-aga inweta.

*Ịdọ aka na ntị banyere ikpere arụsị*

15 Unu maara na unu ahụghị ụdịdị ONYENWE ANYỊ anya n'ụbọchị ahụ o sitere n'ọkụ
gwa unu okwu n'ugwu Horeb. Ya mere kpachapụrụnụ onwe unu anya 16 ka unu
ghara imerụ onwe unu site n'ịkpụ oyiyi ọbụla dịka arụsị, ụdị oyiyi ihe ọbụla, maọbụ
n'ụdị nwoke maọbụ n'ụdị nwanyị, 17 maọbụ n'ụdị anụmanụ, maọbụ n'ụdị nnụnụ
na-efe efe, 18 maọbụ n'ụdị anụ na-akpụ akpụ, ma ọ bụkwanụ n'ụdị azụ bi na mmiri.
19 Mgbe unu lere anya na mbara eluigwe hụ anyanwụ, ọnwa, na kpakpando, dịka
ha si basaa na mbara eluigwe, unu ekwela ka unu bụrụ ndị a na-arafu ịkpọ isiala
nye ha na ife ha ofufe bụ ihe ndị a ONYENWE ANYỊ Chineke unu kere nye mba niile bi
n'okpuru eluigwe. 20 Ma banyere unu, Onyenwe anyị kpọọrọ unu, kpọpụta unu site
n'ime ọkụ na-agbaze igwe, site n'Ijipt pụta, ka unu bụrụ ihe nketa ya, dịka unu dị
ugbu a.
21 ONYENWE ANYỊ wesoro m iwe n'ihi unu, ọ ṅụrụ iyi na m agaghị agafe osimiri
Jọdan ịbanye n'ala ọma ahụ nke ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị dịka ihe nketa
gị. 22 Aghaghị m ịnwụ n'ala a. Agaghị m agafe Jọdan. Ma unu ga-agafe gaa nweta ala
ọma ahụ. 23 Lezienụ anya ka unu ghara ichefu ọgbụgba ndụ unu na ONYENWE ANYỊ
Chineke unu nwekọrọ, unu emerela onwe unu arụsị yiri ụdịdị ihe ọbụla, ndị ahụ

* **4:11** 4:11 Maọbụ, anwụrụ ọkụ dị oji

iwu ONYENWE ANYỊ Chineke unu nyere megidere. 24 N'ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke
unu bụ ọkụ na-erepịa erepịa. Ọ bụ Chineke ekworo.
25 Mgbe ị ga-amụ ụmụ, nwekwa ụmụ ụmụ, mgbe unu birila ọtụtụ oge n'ala ahụ,
ọ bụrụ na unu emerụọ onwe unu site n'imere onwe unu ụdị arụsị ọbụla, si otu
a mee ihe dị njọ n'anya ONYENWE ANYỊ Chineke unu, ma kpasuo ya iwe 26 ana m
akpọku eluigwe na ụwa ka ha bụrụ ndị akaebe mụ na unu taa, na a ga-ala unu n'iyi
ngwangwa n'ala ahụ bụ nke unu na-agafe Jọdan inweta. Unu agaghị ebi ogologo oge
n'ebe ahụ, n'ihi na a ga-ekpochapụ unu. 27 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka unu gbasasịa
n'etiti mba ndị ọzọ. Ọ bụkwa naanị mmadụ ole na ole ga-afọdụ ndụ n'etiti mba
ndị ahụ ONYENWE ANYỊ ga-achụga unu. 28 N'ebe ahụ, unu ga-efe chi ndị bụ ọrụ aka
mmadụ nke e ji osisi tụọ na nke e ji nkume pịa, nke na-adịghị ahụ ụzọ, nke na-adịghị
anụ ihe, nke na-apụghị iri nri ma ọ bụkwanụ ịnụ isisi. 29 Ma ọ bụrụ na unu anọrọ
n'ebe ahụ chọọ ONYENWE ANYỊ Chineke unu, unu ga-achọtakwa ya, mgbe unu ji obi
unu niile na mkpụrụobi unu niile chọọ ya. 30 Mgbe mkpagbu bịara, mgbe ihe ilu ndị a
bịakwasịrị unu n'oge dị n'ihu, unu ga-emesịa lọghachikwute ONYENWE ANYỊ Chineke
unu, unu ga-egekwa ntị n'ihe ọ ga-agwa unu. 31 N'ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke unu
bụ Chineke na-eme ebere. Ọ gaghị agọnarị unu maọbụ laa unu n'iyi, maọbụ chefuo
ọgbụgba ndụ ya na nna nna unu ha gbara, nke o ji iyi ọ ṅụrụ mesie ike.

### *ONYENWE ANYỊ bụ Chineke*

32 Nyochaanụ ihe mere n'oge gara aga, tupu a mụọ unu, na tupu Chineke ekee
mmadụ n'ụwa. Jụọnụ ajụjụ n'ụwa niile, jụta ma ihe ukwu dị otu a o metụla mgbe
ọbụla. 33 O nweela ndị mmadụ nụrụ olu Chineke mgbe o si n'ọkụ gwa ha okwu dịka
unu mere, ma ha anwụghị? 34 O nweela chi ọzọ nwara ka o site na mba ọzọ nwetara
onwe ya otu mba, site n'ihe nwalee, site n'ihe ịrịbama na ihe ebube dị iche iche, site
n'agha, n'aka dị ike, na ogwe aka esetipụrụ esetipụ, maọbụ n'ihe dị oke egwu dị iche
iche, dịka ihe niile nke ONYENWE ANYỊ Chineke unu mere n'ala Ijipt n'ihu anya unu
abụọ?
35 O gosiri unu ihe ndị a ka unu mara na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke n'ezie, na
ọ dịkwaghị onye ọzọ ma ọ bụghị ya. 36 O sitere n'eluigwe mee ka unu nụ olu ya
maka ịdọ unu aka na ntị. N'ụwa, o mere ka unu hụ oke ogidi ọkụ ahụ o wuru, unu
nụkwara olu ya n'etiti ọkụ ahụ. 37 N'ihi ịhụnanya o nwere n'ebe nna nna unu nọ
na n'ihi nhọpụta ọ họpụtara ụmụ ụmụ ha, ka o ji si n'Ijipt dupụta unu n'ihu ya. Ọ
bụkwa ike aka ya ka o ji mezuo nke a. 38 Ka o site n'ihu unu chụpụ mba dị ukwuu
na ndị dị ike, ma kpọbata unu n'ala ha, inye unu ala ahụ dịka ihe nketa unu, dị ka
o si dị taa.
39 Matanụ nke ọma, ma nabata okwu a n'obi unu na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke
n'eluigwe na n'ụwa. O nwekwaghị chi ọzọ dị ma ọ bụghị ya. 40 Debenụ ụkpụrụ ya
na iwu ndị a niile m na-enye unu taa, ka ihe niile gaara unu na ụmụ unu nke ọma,
ka unu biekwa n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke na-enye unu ruo mgbe niile.

### *Obodo mgbaba*

41 Mgbe ahụ, Mosis họpụtara obodo atọ n'ofe ọwụwa anyanwụ nke osimiri Jọdan,
42 ebe onye ọbụla gburu mmadụ ga-agbaba ọsọ ndụ, ma ọ bụrụ na ha gburu onye
agbataobi ha na-amaghị ama, na-akpọghị ya asị na mgbe gara aga. Ọ ga-agbaba n'otu
ime obodo ndị a ichebe ndụ ya. 43 Obodo ndị ahụ bụ, Beza, nke dị n'ugwu elu ya dị
larịị n'ime ọzara. A họpụtara ya maka ebo Ruben. Ramọt, nke dị na Gilead, maka
ebo Gad, na Golan, nke dị na Bashan, maka ebo Manase.

### *Okwu mmalite tupu enye iwu*

44 Nke a bụ iwu Mosis chere n'ihu ụmụ Izrel. 45 Ndị a bụ ihe ama, na ụkpụrụ,
na iwu Mosis nyere ụmụ Izrel nke ha aghaghị idebe mgbe ha si n'Ijipt pụta 46 na

ndagwurugwu Bet-Peoa nke dị n’ọwụwa anyanwụ Jọdan, n’ala Saịhọn, eze ndị
Amọrait, onye na-achị na Heshbọn, bụ onye Mosis na ndị Izrel meriri n’agha mgbe
ha si n’Ijipt pụta. 47 Ndị Izrel nwetaara onwe ha ala ya na ala Ọg, eze Bashan. Eze
abụọ ndị a bụ eze ndị Amọrait ndị ala ha dị n’ọwụwa anyanwụ nke osimiri Jọdan.
48 Ala a sitere n’Aroea, n’ọnụ mmiri Anọn ruo n’ugwu Siriọn (ya bụ ugwu Hemon),
49 ruo n’ala Araba niile, nke dị n’ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan, ruokwa n’Osimiri
Nnu, n’ala ala ugwu Pisga.

# 5

*Iwu iri*

1 Mosis kpọkọtara Izrel niile gwa ha okwu sị,
Geenụ ntị, unu Izrel, n’ụkpụrụ ndị a na iwu ndị a niile m na-agụpụta na ntị unu
taa, mụtanụ ha, hụkwanụ na unu debere ha! 2 Anyị na ONYENWE ANYỊ Chineke anyị
gbara ndụ n’ugwu Horeb.* 3 Ọ bụghị ONYENWE ANYỊ na nna nna anyị ha gbara ndụ,
kama ọ bụ anyị na ya, anyị niile ndị dị ndụ taa. 4 ONYENWE ANYỊ sitere n’etiti ọkụ
gwa unu okwu ihu na ihu n’ugwu ahụ. 5 E guzoro m n’etiti unu na ONYENWE ANYỊ
mgbe ahụ, ikwupụtara unu okwu ONYENWE ANYỊ, n’ihi na unu tụrụ egwu ọkụ ahụ,
unu arịgoghịkwa n’ugwu ahụ.
Ọ sịrị:

6 “Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu, onye kpọpụtara unu site n’Ijipt, bụ ala nke ịbụ ohu.

7 “Gị enwela chi ọzọ tinyere m.
8 Gị emerela onwe gị arụsị a pịrị apị, n’oyiyi nke ụdị ọbụla nke yiri ihe dị n’eluigwe
maọbụ nke yiri ihe dị n’ụwa, n’okpuru ya maọbụ n’ime mmiri, n’okpuru ụwa.
9 Gị akpọla isiala nye ha, efekwala ha ofufe, n’ihi na Mụ onwe m bụ ONYENWE
ANYỊ Chineke gị, abụ m Chineke ekworo. Onye na-ata ụmụ na ụmụ ụmụ ahụhụ,
n’ihi ajọ omume nke ndị mụrụ ha, ọ bụladị ruo n’ọgbọ nke atọ na nke anọ, nke
ndị ahụ kpọrọ m asị. 10 Ma na-egosi ịhụnanya nye puku ọgbọ niile nke ndị hụrụ
m n’anya, bụ ndị na-edebe ihe niile m nyere n’iwu.
11 Gị ejikwala aha ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị eme ihe efu, n’ihi na ONYENWE ANYỊ
agaghị agụ onye ji aha ya eme ihe efu dịka onye ikpe na-amaghị.
12 Debe ụbọchị izuike site n’ido ya nsọ, dịka ONYENWE ANYỊ Chineke gị nyere gị
n’iwu. 13 N’ime ụbọchị isii ka ị ga-eje ozi gị niile. Ọ bụkwa n’ime ha ka ị ga-
arụzu ọrụ gị niile, 14 ma ụbọchị nke asaa bụ ụbọchị izuike nke ONYENWE ANYỊ
Chineke gị. Ị gaghị arụ ọrụ ọbụla n’ụbọchị ahụ, gị onwe gị, nwa gị nwoke na
nwa gị nwanyị, onye ọrụ gị nwoke, onye ọrụ gị nwanyị, ehi gị, ịnyịnya ibu gị
maọbụ anụ ụlọ gị ọbụla, ọ bụladị onye ọbịa bi n’obodo gị, ka ohu gị nwoke na
ohu gị nwanyị zuru ike dịka gị onwe gị si ezu ike. 15 Ị ga-echetakwa na ị bụ ohu
n’ala Ijipt, ma ONYENWE ANYỊ Chineke mere ka i si n’ohu pụta. Ọ bụ ike ya dị
ukwuu ka o ji napụta gị. Ọ bụ ya mere ONYENWE ANYỊ Chineke gị ji nye iwu na ị
ga-edebe ụbọchị izuike nsọ.
16 Sọpụrụ nne gị na nna gị, dịka ONYENWE ANYỊ Chineke gị nyere gị n’iwu, ka ụbọchị
ndụ gị dị ogologo, ka ihe dịkwara gị mma n’ala ahụ nke ONYENWE ANYỊ Chineke
gị na-enye gị.
17 Gị egbula mmadụ.
18 Gị akwala iko.
19 Gị ezula ohi.

* **5:2** 5:2 Ọpụ 19:5; Dit 4:23

20 Gị agbala ama ụgha megide onye agbataobi gị.
21 Gị enwela anya ukwu n’ebe nwunye onye agbataobi gị dị. Gị enwekwala agụụ
inwetara onwe gị ụlọ onye agbataobi gị, maọbụ n’ebe ala ya, maọbụ ohu ya
nwoke, maọbụ ohu ya nwanyị, maọbụ ehi ya, maọbụ ịnyịnya ibu ya, ma ọ
bụkwanụ n’ihe ọbụla nke onye agbataobi nwere dị.”

22 Iwu ndị a ka ONYENWE ANYỊ sitere n’olu ike kwupụta nye ọgbakọ unu niile n’elu
ugwu ahụ, site n’ọkụ ahụ na igwe ojii ahụ na oke ọchịchịrị ahụ. O nweghị okwu ọzọ
o tụkwasịrị n’elu ya. O mechara dee ha na mbadamba nkume abụọ, nye m ha.
23 Ma mgbe unu nụrụ oke olu ahụ kwuru okwu site n’oke ọchịchịrị ahụ, hụkwa ire
ọkụ ahụ dị egwu na-enwu n’elu ugwu, ndịisi unu, ndị ndu ebo ọbụla na ndị okenye
unu bịakwutere m. 24 Unu sịrị, “ONYENWE ANYỊ bụ Chineke anyị egosila anyị ebube
ya, na ịdị ukwu ya, anyị anụkwala olu ya site n’ime ọkụ ahụ. Taa anyị ahụla na
mmadụ pụrụ ịdị ndụ ọbụladị ma Chineke kpanyere ha ụka. 25 Ma ugbu a n’ihi gịnị
ka anyị ga-eji nwụọ? Ọkụ a, nke na-enwusi ike ga-erechapụ anyị. Anyị ga-anwụ ma ọ
bụrụ na anyị anụ olu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị gaa n’ihu. 26 N’ihi na onye dị n’etiti
mmadụ, nke nụrụ olu Chineke dị ndụ ka ọ na-ekwu okwu site n’etiti ọkụ, dịka anyị
nụrụ ma dịrị ndụ. 27 Gaa nso nụtara anyị ihe ONYENWE ANYỊ Chineke anyị na-ekwu,
mgbe ahụ, gwa anyị ihe ọbụla bụ nke ọ gwara gị, anyị ga-anụ, mekwa ya.”
28 ONYENWE ANYỊ nụrụ olu okwu mgbe unu gwara m okwu, ONYENWE ANYỊ sịrị m,
“Anụla m ihe ndị a gwara gị. Ihe niile ha kwuru ziri ezi. 29 Lee, ọ ga-adị nnọọ mma
ma mkpụrụobi ha dị otu a, ịtụ egwu m, na idebe ihe niile m nyere ha n’iwu, ka ihe
gaara ha na ụmụ ha nke ọma mgbe niile ebighị ebi.
30 “Gaa, gwa ha ka ha laghachi n’ụlọ ikwu ha. 31 Ma gị onwe gị, guzo n’ebe a
n’akụkụ m, ka m nye gị iwu m na ụkpụrụ m niile, ị ga-akụziri ha idebe iwu m, ha
aghakwaghị idebe ha n’ala ahụ m gaje inye ha ka ha nweta.”
32 Lezienụ anya ime ihe ndị ahụ niile ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu nyere unu
n’iwu. Unu esitela na ha wezuga onwe unu gaa n’aka nri maọbụ n’aka ekpe.
33 Jegharịanụ ije n’ụzọ niile ONYENWE ANYỊ Chineke unu nyere unu n’iwu, ka unu
dịrị ndụ, baa ụba, ma meekwa ka ndụ unu dị ogologo n’ala ahụ unu na-aga inweta.

# 6

*Ịhụ ONYENWE ANYỊ n’anya*

1 Ndị a bụ iwu, na ụkpụrụ, na ikpe niile nke ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu, nyere
m n’iwu ka a kuziere unu ka unu debe, n’ala ahụ unu na-agafe Jọdan inweta. 2 Ihe e
ji nye iwu ndị a bụ ka unu na ụmụ unu, na ụmụ ụmụ unu, tụọ egwu ONYENWE ANYỊ
bụ Chineke unu, site n’idebe iwu ya, ogologo ndụ unu niile. Ọ bụrụ na unu emee ya,
unu ga-enwe ndụ ogologo. 3 Nụrụ Izrel ma lezie anya n’irube isi, ka ihe gaara unu
nke ọma, ka unu baa ụba nke ukwuu n’ala ahụ mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru
n’ime ya, ọ bụladị dịka ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna unu ha kwere unu na nkwa.
4 Nụrụ gị Izrel, ONYENWE ANYỊ bụ Chineke anyị, ONYENWE ANYỊ bụ otu. 5 Were obi
gị niile, na mkpụrụobi gị niile, na uche gị na ike gị niile, hụ ONYENWE ANYỊ Chineke
gị n’anya. 6 Iwu ndị a m na-enye gị taa ka ị ga-eme ka ọ dịrị gị n’obi. 7 Ị ga-akụziri
ya ụmụ gị. Kwuo okwu banyere ha mgbe ị na-anọdụ ala n’ụlọ gị, mgbe ị na-aga
n’okporoụzọ, mgbe ị na-edina ala na mgbe i si n’ihe ndina bilie. 8 Keenụ ha dịka ihe
ịrịbama n’elu aka unu, kekwasịkwa ha dịka ihe ncheta n’egedege ihu unu. 9 Dee ha
n’elu ibo ọnụ ụzọ ụlọ gị na nke ọnụ ụzọ ama gị.
10 Mgbe ONYENWE ANYỊ Chineke ga-akpọbata unu n’ala ahụ ọ ṅụrụ iyi nye nna nna
unu ha, bụ Ebraham, na Aịzik, na Jekọb, na inye unu, ala sara mbara nke jupụtara
n’obodo unu na-ewughị, 11 na ụlọ ihe ọma dị iche iche jupụtara n’ime ya nke unu

na-azụghị, na olulu mmiri unu na-egwughị n’onwe unu, na ubi vaịnị na ọtụtụ osisi
oliv unu na-amaghị ndị kụrụ ha, mgbe unu riri ihe rijuo afọ, [12] leruonu anya, ka unu
ghara ichefu Onyenwe anyị, onye mere ka unu site n’ala Ijipt pụta, bụ ala ebe unu
bụ ohu.
[13] Onyenwe anyị bụ Chineke gị, ka ị ga-atụ egwu, naanị ya ka ị ga-efe ofufe, ọ
bụkwa aha ya ka ị ga-eji ṅụọ iyi. [14] Unu agbasola chi ndị ọzọ, bụ chi ndị niile a gbara
unu gburugburu na-efe. [15] N’ihi na Onyenwe anyị Chineke unu, onye nọ n’etiti unu,
bụ Chineke ekworo. Ọ ga-eme ka iwe ya dị ọkụ megide unu, ọ ga-ekpochapụkwa unu
site n’elu ụwa. [16] Anwala Onyenwe anyị, bụ Chineke gị ọnwụnwa, dịka unu nwara
ya na Masa. [17] Lezienụ anya hụ na unu debere iwu niile na ụkpụrụ niile, na ihe ama
niile Onyenwe anyị Chineke unu nyere unu. [18] Meenụ ihe ziri ezi, na nke dị mma
n’anya Onyenwe anyị, ka ihe niile gaara unu nke ọma, ka unu nweekwa ike ịbanye,
ma nweta ezi ala ahụ Onyenwe anyị ji ịṅụ iyi kwee nna nna unu ha na nkwa. [19] Ka
unu chụpụkwa ndị iro unu niile site n’ala ahụ, dịka Onyenwe anyị n’onwe ya kwuru.

*Ọsịsa nye ụmụ ụmụ*

[20] N’oge na-abịa, mgbe nwa nwoke gị ga-ajụ gị sị, “Gịnị bụ isi ihe ama ndị a, na
ụkpụrụ ndị a, na iwu ndị a Onyenwe anyị Chineke anyị nyere unu?” [21] Ị ga-aza
ya sị, “Anyị bụrị ndị ohu Fero n’ala Ijipt, ma site n’ike ya dị ukwuu, Onyenwe anyị
kpọpụtara anyị site n’ala Ijipt. [22] N’ihu anyị, Onyenwe anyị zipụrụ ọtụtụ ihe ịrịbama
dị iche iche na ihe ebube dị iche iche, dị ukwuu jọọkwa njọ n’ahụ Ijipt na eze Fero
nakwa ndị ụlọ ya niile. [23] Ma o mere ka anyị site n’Ijipt pụta, ịkpọbata na inye anyị
ala ahụ o ji ịṅụ iyi kwee nna nna anyị ha na nkwa. [24] N’ihi ya ka Onyenwe anyị ji nye
anyị iwu ka anyị debe ụkpụrụ ndị a niile, na-atụ Onyenwe anyị Chineke anyị egwu,
ka anyị bụrụ ndị ihe ga-agara nke ọma ụbọchị niile, ndị a na-edebe ndụ, dịka ọ dị
taa. [25] Ọ bụrụ na anyị elezie anya debe iwu ndị a niile Onyenwe anyị Chineke anyị
nyere anyị, dịka o nyere anyị n’iwu, anyị ga-abụ ndị na-ejegharị n’ezi omume.”

# 7

*Iwu banyere ikpochapụ ndị Kenan*

[1] Mgbe Onyenwe anyị bụ Chineke unu ga-akpọbata unu n’ala ahụ unu na-abanye
inweta, mgbe o si n’ihu unu chụpụ ọtụtụ mba ndị a n’ihu unu, bụ ndị Het, ndị Gigash,
ndị Amọrait, ndị Kenan, ndị Periz, ndị Hiv na ndị Jebus, bụ mba asaa ndị dị ike nke
ukwuu, baakwa ụba karịa unu; [2] mgbe Onyenwe anyị bụ Chineke unu nyefere ha
n’aka unu, unu meriekwa ha, lezienụ anya hụ na unu bibiri ha kpamkpam. Ka unu
na ha ghara ịgba ndụ, unu emekwarala ha ebere. [3] Unu na ha alụrịtakwala di na
nwunye, unu enyekwala ụmụ ha ndị ikom ụmụ unu ndị inyom ka ha lụọ, maọbụ
lụtara ụmụ unu ndị ikom ụmụ ha ndị inyom. [4] N’ihi na nke a ga-eme ka ụmụ unu
site n’iso m tụgharịa, malite ife chi ndị ọzọ. Mgbe ahụ iwe Onyenwe anyị ga-adị ọkụ
megide unu, laakwa unu n’iyi ngwangwa. [5] Kama otu a ka unu ga-eme: tikpọọnụ ebe
ịchụ aja ha niile. Kụrienụ ogidi arụsị ha niile. Gbutukwaanụ osisi Ashera ha, ma suo
arụsị ha niile ọkụ. [6] N’ihi na unu bụ ndị dị nsọ nye Onyenwe anyị bụ Chineke unu.
Onyenwe anyị bụ Chineke unu ahọpụtala unu site n’agbụrụ niile dị n’ụwa a, ka unu
bụrụ ndị nke ya, ihe onwunwe ya dị oke ọnụahịa.
[7] Ọ bụghị n’ihi na unu dị ukwuu n’ọnụọgụgụ karịa ndị mba ọzọ, ka Onyenwe anyị
ji họpụta unu, hụ unu n’anya otu a, n’ezie unu dịkarịsịrị nta n’ọnụọgụgụ. [8] Kama, ọ
bụ n’ihi Onyenwe anyị hụrụ unu n’anya, mezuokwa iyi ọ ṅụrụ nye nna nna unu ha,
ka o ji site n’aka ya dị ike gbapụta unu site n’ala ebe unu bụ ndị ohu, site n’ike nke
Fero, bụ eze Ijipt. [9] Matanụ nke ọma na Onyenwe anyị bụ Chineke unu bụ Chineke.

Ọ bụ Chineke kwesiri ntụkwasị obi, onye na-edebe ọgbụgba ndụ ịhụnanya ya ruo
puku ọgbọ, nye ndị niile hụrụ ya n'anya, ndị na-edebe ihe niile o nyere n'iwu. 10 Ma
onye kpọrọ ya asị, ọ na-eji mbibi kwụghachi ya ụgwọ n'ihu ya,

ọ gaghị egbu oge ịkwụghachi onye kpọrọ ya asị ụgwọ n'ihu ha.

11 N'ihi ya, hụ na unu debezuru iwu na ụkpụrụ ndị a m na-enye unu taa.

12 Ọ bụrụ na unu elezie anya, ṅaa ntị n'iwu ndị a, debe ha, ma mezuokwa ha,
Onyenwe anyị bụ Chineke unu ga-emezuru unu ọgbụgba ndụ ịhụnanya ahụ dịka
ọ ṅụrụ n'iyi nye nna nna unu ha. 13 Ọ ga-ahụ unu n'anya, gọzie unu, meekwa ka
unu baa ụba n'ọnụọgụgụ. Ọ ga-agọzi unu n'ọmụmụ, gọzie ihe ọkụkụ nke ala unu,
ọka unu, na mmanya ọhụrụ unu, na mmanụ unu, na ụmụ ehi unu mụrụ, na ụmụ
igwe atụrụ unu mụrụ, n'ala ahụ ọ ṅụụrụ nna nna unu ha iyi inye unu. 14 A ga-agọzi
unu karịa mba ndị ọzọ niile dị n'ụwa. Ọ dịghị onye ọbụla n'ime unu, maọbụ nwoke
maọbụ nwanyị ga-anọ na-amụtaghị nwa, ọ dịkwaghị anụ ụlọ unu ga-agba aka nwa.
15 Onyenwe anyị ga-ewepụrụ unu ọrịa niile. Ọ gaghị ekwe ka ọrịa ndị Ijipt ọbụla,
nke unu na-echeta nke ọma dakwasị unu, ọrịa ndị a niile ka ọ ga-eme ka ọ bịakwasị
ndị iro unu! 16 Mba ọbụla Onyenwe anyị bụ Chineke unu nyefere unu n'aka ka unu
ga-ala n'iyi. Unu emerela ha ebere, unu efekwala chi niile ha, n'ihi na nke a ga-abụrụ
unu ihe ịma n'ọnya.

17 Ma eleghị anya, unu ga na-eche n'ime onwe unu sị, "Mba ndị a dị ike karịa
anyị, olee otu anyị ga-esi chụpụ ha?" 18 Ma unu atụla egwu! Naanị chetanụ ihe
Onyenwe anyị bụ Chineke unu mere Fero na ndị Ijipt niile. 19 Unu ji anya unu hụ
ọnwụnwa ukwuu niile, ihe ịrịbama niile na ihe ebube niile, n'aka ahụ dị ike na ogwe
aka esetipụrụ esetipụ, nke Onyenwe anyị bụ Chineke unu ji kpọpụta unu. Onyenwe
anyị bụ Chineke ga-emekwa otu ihe ahụ n'ebe ndị niile a unu na-atụ egwu ugbu a.
20 Karịsịa, Onyenwe anyị bụ Chineke unu ga-ezipụ ebu n'etiti ha tutu ruo mgbe ọ
bụladị ndị fọdụrụ ndụ, ndị ahụ ga-ezo onwe ha site n'ebe unu nọ, ghọrọ ndị e bibiri.
21 Unu amala jijiji n'ihu ha, n'ihi na Onyenwe anyị bụ Chineke unu, onye nọ n'etiti
unu bụ Chineke dị ukwuu, dịkwa egwu. 22 Onyenwe anyị bụ Chineke unu, ga-achụpụ
mba ndị a ntakịrị ntakịrị. Ọ gaghị ekwe ka unu chụpụ ha otu ugboro, ma ọ bụghị ya,
ụmụ anụ ọhịa ọjọọ ga-amụba megide unu. 23 Onyenwe anyị Chineke unu ga-enyefe
ha n'aka unu, ọ ga-etinye ha oke ọgbaaghara n'obi, tutu ruo mgbe ha lara n'iyi.
24 Eze ha niile ka ọ ga-enyefe n'aka unu, unu ga-ehichapụkwa aha ha n'elu ụwa. Ọ
dịkwaghị onye pụrụ iguzo n'ihu unu, n'ihi na unu ga-ebibi ha niile. 25 Kpọọnụ arụsị
niile nke apịrị apị nke chi niile ha ọkụ. Unu enwela anya ukwu n'ebe ọlaọcha maọbụ
ọlaedo dị ha n'ahụ dị. Unu ewerela ya ka ọ bụrụ nke unu, ka unu ghara ịbụ ndị ọ
matara n'ọnya, n'ihi na ọ bụ ihe arụ nye Onyenwe anyị bụ Chineke unu. 26 Unu
ewebatala ihe arụ ọbụla n'ụlọ unu, ka unu ghara ịbụ ihe e debere iche nye mbibi
dịka ya. Kpọọnụ ihe arụ ahụ asị, ledakwanụ ya anya, n'ihi na ihe e debere iche nye
mbibi ka ọ bụ.

# 8

*Echezọla Onyenwe anyị*

1 Lezie anya hụ na i debezuru iwu ndị a niile m nyere gị taa. Ọ bụrụ na i debe ha, ọ
bụghị naanị na ị ga-adị ndụ, kama ị ga-amụba, banyekwa inweta ala ahụ Onyenwe
anyị kwere nna nna gị ha na nkwa. 2 Chetakwa otu Onyenwe anyị bụ Chineke gị
si duo gị n'ime ọzara iri afọ anọ ndị a niile. O wedara mmụọ gị ala, nwakwaa gị
ọnwụnwa ịmata ihe dị gị n'obi, ịchọpụta ma ị ga-edebekwa iwu ya. 3 E, o wedatara
mmụọ gị ala mgbe o mere ka ihe oriri kọ gị, mgbe o mere ka i rie mánà, nri ahụ
gị na nna gị na-amaghị ihe ọ bụ. O mere nke a igosi gị na izi gị na ọ bụghị naanị
achịcha ka mmadụ ga-eji dị ndụ, kama ọ bụ n'okwu niile nke si n'ọnụ Onyenwe anyị

pụta. 4 Iri afọ anọ ndị a niile, uwe gị akaghị nka, ụkwụ gị azakwaghị aza. 5 N'ihi ya,
mata nke a n'obi gị, na dịka nna si adọ nwa ya aka na ntị, otu a ka ONYENWE ANYỊ
bụ Chineke gị si adọ gị aka na ntị.
6 Debe iwu ONYENWE ANYỊ Chineke gị. Na-ejegharị ije n'ụzọ ya, ma na-atụkwa
ya egwu. 7 N'ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-ewebata gị n'ala mara mma, bụ
ala nwere iyi, na ọdọ mmiri, ala nwere mmiri nke si n'ime ya na-asọpụta asọgharị
n'ugwu na ndagwurugwu, 8 ọ bụ ala na-epu ọka wiiti na ọka balị, na osisi vaịnị,
na osisi fiig, na osisi pomegranet, na mmanụ oliv, na mmanụ aṅụ. 9 Ọ bụkwa ala
jupụtara n'ihe oriri, ebe a na-agaghị enwe ụkọ nri. Ọ bụ ala ebe igwe jupụtara n'ime
ya dị ka ha bụ nkume, ala ebe ọla jupụtakwara n'ugwu ya niile.
10 Mgbe i riri rijuo afọ, too ONYENWE ANYỊ Chineke gị n'ihi ala mara mma nke o
nyere gị. 11 Ma lezie anya ka ị ghara ichefu ONYENWE ANYỊ Chineke gị, na-edebeghị
iwu ya niile, na ikpe ya niile, na ụkpụrụ ya niile, nke m na-enye gị taa. 12 Ka ọ ghara
ị bụ, mgbe i riri rijuru afọ, mgbe i wuuru onwe gị ezi ụlọ dị mma birikwa n'ime ha,
13 mgbe igwe ehi na igwe atụrụ gị mụbara, mgbe ọlaọcha na ọlaedo gị mụbara, na
mgbe ihe niile i nwere mụbara. 14 Kpachara anya hụ na nganga abanyeghị gị n'obi,
ime ka i chefuo ONYENWE ANYỊ Chineke gị onye mere ka ị site n'Ijipt, sitekwa n'ala ịbụ
ohu pụta. 15 Onye duuru gị n'ime ọzara ukwu ahụ dị egwu, ebe agwọ ọjọọ na akpị
jupụtara, ebe na-ekpo ọkụ, nke mmiri na-adịghị. O sitere na nkume nye gị mmiri
ọṅụṅụ 16 O ji mánà nyejuo gị afọ n'ọzara, mánà ahụ nna gị ha na-amaghị ihe ọ bụ na
mbụ. O mere ya n'ihi iweda mmụọ gị ala, na ịnwale gị, ka ihe si otu a gaara gị nke
ọma. 17 I nwere ike kwuo sị, "Ọ bụ site n'ike aka m ka m ji baa ụba." 18 Ma cheta
ONYENWE ANYỊ Chineke gị, n'ihi na ọ bụ ya onwe ya na-enye gị ike i ji akpata akụ,
ime ka ọgbụgba ndụ ya guzosie ike, bụ nke ọ ṅụrụ nna nna gị ha n'iyi, dịka ọ dị taa.
19 Ma ọ bụrụ na i chefuo ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị, gbasoo chi ndị ọzọ, fee ha
ofufe ma kpọọkwa isiala nye ha, ana m agba ama megide gị taa na ị ghaghị ịla n'iyi.
20 Ọ bụrụ na unu egeghị ntị n'olu ONYENWE ANYỊ Chineke unu, ime ihe ọ chọrọ, ọ
ga-ala unu n'iyi, dịka o si bibie mba ndị a niile dị iche iche ọ na-ebibi n'ihi unu.

# 9

*Ọ bụghị n'ihi ezi omume Izrel*

1 Nụrụ, Izrel! Taa ka ị na-aga ịgafe osimiri Jọdan ịbanye ka inweta ala mba ndị dị
ukwuu na ndị dị ike karịa gị, inweta obodo ndị dị ukwuu nke nwere mgbidi ha dị
elu ruo n'eluigwe. 2 Ndị bi n'ime ha bụ ndị Anak, ndị gbara dimkpa, too ogologo nke
ukwuu. Ị maara banyere ha. Ị nụkwaala ka e kwuru sị, "Onye pụrụ iguzo onwe ya
n'ihu ụmụ Anak?" 3 Ma mata taa na ONYENWE ANYỊ Chineke gị bụ onye na-aga n'ihu
gị dịka ọkụ na-erepịa erepịa. Ọ ga-ala ha n'iyi. Ọ bụkwa ya ga-eme ka unu lụgbuo
ha, chụpụ ha, bibiekwa ha ngwangwa dịka ONYENWE ANYỊ kwere gị na nkwa.
4 Mgbe ONYENWE ANYỊ Chineke gị sitere n'ihu gị chụpụ ha, asịla onwe gị, "ONYENWE
ANYỊ akpọbatala m n'ebe a, ka m nweta ala a n'ihi ezi omume m." Mba, ọ bụ naanị
n'ihi ajọ omume nke mba ndị a bi n'ala ahụ ka ONYENWE ANYỊ ji esite n'ihu gị chụpụ
ha. 5 Ọ bụghị n'ihi ezi omume gị, maọbụ izi ezi nke obi gị ka ị ga-eji nweta ala ahụ,
kama ọ bụ n'ihi ajọ omume nke mba ndị a bi n'ime ya ka ONYENWE ANYỊ Chineke gị
ga-eji achụpụ ha site n'ihu gị. Ọ na-emekwa ya n'ihi imezu nkwa ahụ o kwere nna
nna gị ha bụ Ebraham, Aịzik, na Jekọb. 6 Ya mere, ghọta ya nke ọma na ONYENWE
ANYỊ Chineke gị anaghị enye gị ezi ala a ka inweta ya n'ihi ezi omume gị, n'ihi na
unu bụ ndị isiike.

*Nwa ehi ọlaedo*

7 Chetakwa nke a ma echefukwala otu i si kpasuo ONYENWE ANYỊ Chineke gị iwe,
mgbe mgbe, n’ime ọzara. Site n’ụbọchị ị hapụrụ Ijipt tutu ruo taa, ka ị na-enupu isi
n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ. 8 Unu kpasuru ONYENWE ANYỊ iwe n’ugwu Horeb, ya mere
o jiri were iwe laa unu n’iyi. 9 Mgbe m rigooro n’elu ugwu ahụ ịnata mbadamba
nkume ndị ahụ bụ mbadamba nkume ọgbụgba ndụ dị n’etiti ONYENWE ANYỊ na unu,
anọrọ m n’elu ugwu ahụ iri ụbọchị anọ, ehihie na abalị, ọ dịghị nri m riri, ọ dịghịkwa
mmiri m ṅụrụ. 10 ONYENWE ANYỊ nyere m mbadamba nkume abụọ ndị ahụ, nke eji
mkpịsịaka Chineke dee. Edekwasịrị n’elu ha iwu niile nke ONYENWE ANYỊ gwara unu
n’ugwu ahụ site n’etiti ọkụ, n’ụbọchị mkpọkọta ahụ.

11 Mgbe iri abalị anọ gwụrụ ONYENWE ANYỊ nyere m mbadamba nkume abụọ ndị
ahụ, bụ mbadamba nkume ọgbụgba ndụ. 12 Mgbe ahụ ka ONYENWE ANYỊ gwara m
sị m, “Rịdata ọsịịsọ, n’ihi na ndị gị, ndị i si n’Ijipt dupụta, emerụọla onwe ha, ha
emeela ngwangwa iwezuga onwe ha site n’iwu m nyere ha. Ha emeerela onwe ha
nwa ehi a kpụrụ akpụ, ka ọ bụrụ chi ha.”

13 ONYENWE ANYỊ gwara m sị, “Ahụla m na ndị a bụ ndị isiike n’ezie. 14 Hapụ m, ka
m kpochapụ ma hichapụkwa aha ha site n’okpuru eluigwe. Aga m emekwa gị ka ị
ghọọ mba dị ike karịa, dịkwa ọtụtụ n’ọnụọgụgụ karịa ha.”

15 Ya mere, atụgharịrị m malite isi n’ugwu ahụ na-enwu ọkụ rịdata, ejikwa m
mbadamba nkume abụọ nke ọgbụgba ndụ ahụ n’aka m. 16 Mgbe m lepụrụ anya,
ahụrụ m na unu emeela mmehie megide ONYENWE ANYỊ Chineke unu. Unu akpụọlara
onwe unu arụsị n’ụdị nwa ehi. Unu esitela n’ịgbaso iwu ONYENWE ANYỊ wezuga onwe
unu ọsịịsọ. 17 Mgbe ahụ, ewere m mbadamba nkume abụọ ahụ, tụpụ ha site n’aka
m abụọ, kụrie ha n’ihu unu.

18 Mgbe ahụ, adara m n’ala ọzọ n’ihu ONYENWE ANYỊ. Iri ụbọchị anọ, ehihie na
abalị, erighị m nri maọbụ ṅụọ ihe ọṅụṅụ ọbụla, n’ihi mmehie niile unu mere. Unu
mere ihe ọjọọ n’anya ONYENWE ANYỊ si otu a kpasuo ya iwe nke ukwuu. 19 Atụrụ
m egwu iwe na ọnụma nke ONYENWE ANYỊ, n’ihi na iwe ya dị ukwuu megide unu
ruo na ikpochapụ unu. Ma n’oge ahụ, ONYENWE ANYỊ gere ntị n’arịrịọ m. 20 N’oge
ahụ, Erọn n’onwe ya, nọrọ n’oke nsogbu, n’ihi na ONYENWE ANYỊ were iwe megide
ya, chọọ ibibi ya, ma arịọrọ m ONYENWE ANYỊ arịrịọ n’ihi ya. 21 Mgbe ahụ, eweere m
ngwa ọrụ mmehie unu, ya bụ nwa ehi ahụ unu kpụrụ, kpọọ ya ọkụ, tipịa ya, gwerie
ya nke ọma dịka ntụ, wụnye ntụ ya n’ime mmiri nke si n’ugwu na-asọpụta.

22 Ọzọkwa, unu kpasuru ONYENWE ANYỊ iwe na Tabera, na Masa, ọ bụladị na Kibrọt
Hataava.
23 Mgbe ONYENWE ANYỊ si na Kadesh Banea zipụ unu ọ sị unu, “Gaanụ nweta ala ahụ
m nyere unu.” Ma unu nupuru isi n’iwu ONYENWE ANYỊ Chineke unu nyere unu. Unu
ekwenyeghị maọbụ rubere ya isi. 24 Site n’ụbọchị m maara ndị unu bụ, ọ dịbeghị
mgbe unu na-enupughị isi n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ.

25 Ọ bụ ya mere m jiri daa n’ala n’ihu ONYENWE ANYỊ iri ụbọchị anọ, ehihie na abalị,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ kwuru na ọ ga-ala unu n’iyi. 26 Ekpere m ekpere n’oge ahụ
nye ONYENWE ANYỊ sị ya, “Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ biko, alala ndị
gị n’iyi, n’ihi na ha bụ ihe nketa gị, bụrụkwa ndị i ji ike aka gị na ebube gị gbapụta
site n’Ijipt. 27 Elekwasịla nnupu isi ha na isiike ha anya, kama, cheta nkwa gị, nke i
kwere ndị ohu gị, Ebraham, Aịzik, na Jekọb. Biko, agụnyela ndụ ọjọọ ha, na mmehie
ha megide ha. 28 Ma ọ bụghị otu a, ndị obodo ahụ nke i si na ya kpọpụta anyị ga-asị,
‘Ọ bụ n’ihi na ONYENWE ANYỊ apụghị inye ha ala o kwere ha na nkwa ka o ji laa ha
n’iyi. N’ihi na ọ kpọrọ ha asị, ka o ji kpọbata ha n’ime ọzara mee ka ha nwụọ n’ebe
ahụ.’ 29 Ma ha bụ ndị gị, ha bụkwa ihe nketa gị. Ha bụ ndị i sitere n’ike gị dị egwu
na ike nke aka gị kpọpụta site n’Ijipt.”

# 10

*Mbadamba nkume abụọ ọzọ*

1 N’oge ahụ, Onyenwe anyị gwara m, sị, “Wapụta mbadamba nkume abụọ dịka nke
mbụ, were ha bịakwute m n’elu ugwu. Ọzọ, wuokwara onwe gị igbe osisi. 2 Aga m
edekwasị n’elu mbadamba nkume ndị a, okwu niile nke dị n’elu mbadamba nkume
ndị mbụ, bụ nke ị tụpịasịrị. Ị ga-etinyekwa ha n’ime igbe ahụ.”
3 Ya mere, eji m osisi akashia kwaa igbe ahụ. A wapụtakwara m mbadamba
nkume abụọ yiri ndị nke mbụ, were ha rigoro ugwu ahụ. 4 Onyenwe anyị dere
n’elu mbadamba nkume ahụ ihe ndị ahụ o dere na mbụ, bụ iwu iri ndị ahụ o gwara
unu n’elu ugwu site n’ime ọkụ, n’ụbọchị mkpọkọta ahụ. Onyenwe anyị nyekwara m
ha. 5 Mgbe m si n’ugwu ahụ rịdata, etinyere m mbadamba nkume abụọ ahụ n’ime
igbe ahụ m kwara, dịka Onyenwe anyị nyere m n’iwu. Ha dịkwa n’ebe ahụ ruo taa.
6 (Ụmụ Izrel gara ije site n’olulu mmiri nke Bene Jaakan garuo Mosera, n’ebe ahụ ka
Erọn nọ nwụọ, e lie ya n’ebe ahụ. Elieza, bụ ọkpara ya nọchiri ọnọdụ ya dịka onye
nchụaja. 7 Site n’ebe ahụ, ha gagidere ije ruo Gudgoda, sitekwa na ya ruo Jotbata,
ala nke iyi na-asọ asọ juru n’ime ya. 8 N’oge ahụ, Onyenwe anyị kewapụtara ebo
Livayị ibu igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị, na iguzo n’ihu Onyenwe anyị ijere ya
ozi na ikwupụta ngọzị n’aha ya, dịka ha sị eme ruo taa. 9 Ọ bụ nke a mere ndị Livayị
enweghị oke maọbụ ihe nketa n’etiti ndị Izrel ibe ha; Onyenwe anyị bụ ihe nketa ha,
dịka Onyenwe anyị Chineke unu gwara ha.)
10 Ugbu a, anọọla m n’elu ugwu ahụ iri ụbọchị anọ, ehihie na abalị, dịka m mere
n’oge mbụ, Onyenwe anyị gekwara m ntị n’oge ugbu a. Ọ bụghị ọchịchọ Onyenwe
anyị ibibi unu. 11 Onyenwe anyị gwara m, “Bilie, gaa ka i duru ndị a gaa na njem ha,
ka ha banye, ma nwetakwa ala ahụ nke m kwere nna nna ha na nkwa inye ha.”

*Sọpụrụ Onyenwe anyị*

12 Ugbu a, Izrel, gịnị ka Onyenwe anyị Chineke gị na-ana n’aka gị ma ọ bụghị ka
ị tụọ egwu Onyenwe anyị bụ Chineke gị, jee ije na nrube isi nye ya, ịhụ ya n’anya,
na iwere obi gị niile na mmụọ gị niile fee ya ofufe, 13 na ilezi anya debezuo iwu na
ụkpụrụ Onyenwe anyị, ndị m na-enye gị taa, n’ihi ọdịmma gị.
14 Ụwa na eluigwe na ebe niile kachasị elu nke eluigwe, na ihe niile dị n’ime ha, bụ
nke Onyenwe anyị Chineke gị. 15 Ma Onyenwe anyị nwere mmasị n’ahụ nna nna unu
ha, hụkwa ha n’anya, ọ họrọ unu, na naanị ụmụ ha niile, site n’etiti mba niile dịka ọ
dị taa. 16 N’ihi nke a, biekwanụ obi unu ugwu, kwụsịkwanụ ibi ndụ nke isiike. 17 N’ihi
na Onyenwe anyị, bụ Chineke unu bụ Chineke kachasị chi niile, bụrụkwa Onyenwe
kachasị ndị nwenụ niile. Chineke ukwu ahụ, onye dị ike dịkwa egwu, onye na-adịghị
ele mmadụ anya n’ihu, ọ nakwaghị eri ngarị. 18 Ọ na-alụrụ ndị na-enweghị nna, na
ụmụ nwanyị na-enweghị di ọgụ. Ọ na-ahụ ndị ọbịa n’anya, na-enyekwa ha nri na
uwe. 19 Ya mere, unu onwe unu kwa, hụnụ ndị ọbịa n’anya, n’ihi na unu onwe unu
bụrụrị ndị ọbịa n’ala Ijipt. 20 Tụọ Onyenwe anyị Chineke gị egwu, feekwa ya ofufe.
Ya ka ị ga-arapara n’ahụ,* ọ bụkwa naanị n’aha ya ka ị ga-aṅụ iyi. 21 Ọ bụ ya bụ onye
ị ga-eto otuto, ọ bụ ya bụ Chineke gị, onye rụrụ gị ọrụ ndị ahụ dị oke egwu na ebube,
nke gị onwe gị ji anya gị hụ. 22 Nna nna unu ndị gara n’Ijipt dị naanị iri mmadụ asaa,
ma ugbu a, Onyenwe anyị Chineke gị emeela ka ịmụbaa dịka kpakpando nke mbara
igwe.

# 11

*Ịhụ Onyenwe anyị n’anya na irubere ya isi*

* **10:20** 10:20 Ya ka ị ga-ejidesi aka ike

1 Hụ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị n’anya, na-edebezukwa ikpe ya na ụkpụrụ ya
na ihe niile o nyere n’iwu. 2 Chetanụ taa na ọ bụghị ụmụ unu, kama ọ bụ unu onwe
unu jiri anya unu hụ ịdọ aka na ntị ONYENWE ANYỊ Chineke unu. Ọ bụ unu hụrụ ịdị
ukwuu ya, ịdị ike ya, ịrụsị ọrụ ike nke ike ya, 3 ihe ịrịbama ya niile na ihe niile o mere
n’Ijipt, otu o si megide Fero eze Ijipt na ndị ala Ijipt niile. 4 Unu hụrụ ihe o mere ndị
agha Ijipt na ịnyịnya ha, na ụgbọ agha ha. Otu o si mee ka ha laa n’iyi n’ime Osimiri
Uhie, mgbe ha na-achụ unu ọsọ, na otu ONYENWE ANYỊ si wetara ha ịla n’iyi ebighị
ebi. 5 Ọ bụghị ụmụ unu hụrụ ihe o meere unu n’oge ahụ niile unu nọ n’ọzara tutu
unu erute n’ebe a, 6 na ihe o mere Datan na Abiram, ụmụ Eliab, ndị si n’ebo Ruben,
otu ala si meghee ọnụ ya loda ha, ha na ezinaụlọ ha, ụlọ ikwu ha na ihe ọbụla nke
dị ndụ ha nwere n’etiti Izrel niile. 7 Ma ọ bụ anya unu hụrụ oke ihe ịtụnanya ndị a
niile ONYENWE ANYỊ mere.

8 Lezienụ anya debe iwu ndị a m na-enye unu taa, ka unu nwee ike, baa bichikwaa
ala ahụ unu na-agafe Jọdan inweta, 9 ka unu bie ogologo ndụ n’ime ala ahụ ONYENWE
ANYỊ ṅụrụ n’iyi inye nna nna unu ha, na ụmụ ụmụ ha, ala mmiri ara ehi na mmanụ
aṅụ na-eru na ya. 10 N’ihi na ala a unu na-aga ịbanye n’ime ya inweta adịghị ka ala
Ijipt, ebe unu si pụta, ebe ị na-agha mkpụrụ gị, were ụkwụ tụwara mmiri ụzọ,* dịka a
na-eme n’ubi akwụkwọ nri. 11 Ma ala unu na-agafe Jọdan inweta bụ ala nwere ugwu
na ndagwurugwu, nke na-aṅụ mmiri ozuzo si n’eluigwe. 12 Ọ bụ ala nke ONYENWE
ANYỊ Chineke unu n’onwe ya na-elekọta! Site n’ụbọchị ruo n’ụbọchị, sitekwa na
mbido afọ ruo n’ọgwụgwụ afọ, anya ya adịghị apụ na ya.

13 Ya mere, ọ bụrụ na unu ga-eji ntụkwasị obi rube isi n’iwu ya niile, nke m na-enye
unu taa, ọ bụrụkwa na unu ga-eji obi unu niile na mmụọ unu niile hụ ONYENWE ANYỊ
Chineke unu n’anya, ọ bụrụkwa na unu ga-efe ya ofufe, 14 ọ ga na-ezite mmiri ozuzo
n’oge ya, mmiri ozuzo nke mbụ na nke ikpeazụ, nke ga-eme ka ọka unu mịa mkpụrụ
hiri nne, ka unu nwee ọtụtụ vaịnị, nweekwa mmanụ oliv. 15 Ọ ga-eme ka anụ ụlọ gị
nwee ahịhịa ha ga-ata, gị onwe gị ga-enwekwa ihe oriri dị ukwuu. Afọ ga-ejukwa gị
n’ihe i nwere.

16 Ma lezienụ anya, ka ahapụ ịrafu obi unu mee ka unu wezuga onwe unu, bido
ife chi ndị ọzọ ofufe, kpọọkwa isiala nye ha. 17 Mgbe ahụ, iwe ONYENWE ANYỊ ga-adị
ọkụ n’ebe unu nọ, ọ ga-agbachi eluigwe, mmiri agaghị ezo, ala agaghị epupụtakwa
ihe ubi, unu ga-alakwa n’iyi n’otu ntabi anya, n’ezi ala ahụ ONYENWE ANYỊ na-enye
unu. 18 Meenụ ka okwu m ndị a dịgide n’obi unu na n’ime mmụọ unu. Keenụ ha
dịka ihe ịrịbama n’elu aka unu, kekwasịkwa ha dịka ihe ncheta n’egedege ihu unu.
19 Kuzierenụ ha ụmụ unu, na-ekwu ihe banyere ha mgbe ị na-anọdụ n’ụlọ gị, na mgbe
ị na-aga n’okporoụzọ, mgbe ị na-edina ala na mgbe i si n’ihe ndina bilie. 20 Dee ha
n’elu ibo ọnụ ụlọ gị na nke ọnụ ụzọ ama gị. 21 Ka ụbọchị ndụ unu na nke ụmụ unu
dị ogologo n’ala ahụ unu na-aga ibi n’ime ya, nke ONYENWE ANYỊ kwere nna unu na
nkwa. Dịka ogologo ụbọchị niile ha nke eluigwe dị n’elu, ụwa dịkwa n’okpuru ya.

22 Ọ bụrụ na unu elezie anya debe iwu niile m na-enye unu taa, na-ahụkwa
ONYENWE ANYỊ Chineke unu n’anya, na-eso ụzọ ya, na-adaberekwa na ya, 23 ONYENWE
ANYỊ ga-achụpụ mba niile bi n’ala ahụ unu na-aga inweta, unu ga-anapụkwa ha ala
ahụ, ọ bụladị na ha buru ibu, siekwa ike karịa unu. 24 Ebe ọbụla unu zọnyere ụkwụ
unu n’ala ahụ aghọọla nke unu, site na ndịda Negeb ruo Lebanọn, sitekwa n’Osimiri
Yufretis ruo Osimiri Mediterenịa. Ha ga-abụ nke unu. 25 Ọ dịghị onye ọbụla pụrụ
imegide unu n’ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke unu ga-emenye ha egwu na ụjọ n’afọ
n’ụzọ ọbụla unu na-aga, dịka o kwere na nkwa.

---

* **11:10** 11:10 Nke a bụ n’ala ebe ihe ọkụkụ na-adịghị eto ma a gbaghị ya mmiri.

[26] Lee, taa, ana m eche n'ihu unu ngọzị ONYENWE ANYỊ na ọbụbụ ọnụ. [27] Ngọzị
ga-adịrị unu ma ọ bụrụ na unu edebe iwu ONYENWE ANYỊ Chineke unu, nke m na-
enye unu taa. [28] Nkọcha ahụ ga-adị ma ọ bụrụ na unu ajụ irube isi nye iwu niile nke
ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke unu, wezuga onwe unu n'ụzọ ahụ nke m nyere unu n'iwu
taa site n'ịgbaso chi ndị ọzọ, nke unu na-amaghị. [29] Mgbe ONYENWE ANYỊ Chineke unu
mere ka unu nweta ala ahụ, a ga-esite n'elu ugwu Gerizim kwupụta ngọzị ga-adịrị
unu, a ga-esitekwa n'elu ugwu Ebal kwupụta ọbụbụ ọnụ ga-adakwasị unu. [30] Gerizim
na Ebal bụ ugwu dị n'ofe Jọdan, n'akụkụ okporoụzọ dị n'ọdịda anyanwụ. Ọ dị nso
n'ebe osisi ukwu ndị ahụ toro na More, n'ala ndị Kenan ahụ bi n'Araba, n'akụkụ
Gilgal. [31] N'ihi na unu na-aga ịgafe osimiri Jọdan, ịbanye nweta ala ahụ ONYENWE
ANYỊ Chineke unu na-enye unu. Mgbe unu nwetara ya biri n'ime ya, [32] hụnụ na unu
rubere isi debe iwu niile na ụkpụrụ niile m na-eche n'ihu unu taa.

# 12

*Ebe a ga-anọ fee Onyenwe anyị*

[1] Ndị a bụ iwu na ụkpụrụ niile unu na-aghaghị idebe ogologo ụbọchị niile unu
ga-ebi n'ala ahụ, ONYENWE ANYỊ Chineke nna unu ha nyere unu, dịka ihe nweta.
[2] Tikpọọnụ ebe niile nke dị n'elu ugwu niile dị elu na n'elu ugwu niile dị nta, nakwa
n'okpuru osisi mgbasa ọbụla, bụ ebe mba niile unu na-anapụ ala ha fere chi niile ha
ofufe. [3] Kwatuokwanụ ebe ịchụ aja ha niile, tijisie ogidi nsọ ha niile, kpọọkwa osisi
Ashera ha ọkụ, gbutukwaanụ arụsị niile a apịrị apị nke chi niile ha. Kpochapụkwanụ
aha ha niile site n'ebe niile ahụ.
[4] Unu agaghị efe ONYENWE ANYỊ Chineke unu ofufe dịka ndị ahụ na-efe arụsị na-
eme. [5] Kama unu chọpụta ebe ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu ga-ahọpụta, site n'etiti
ebo Izrel niile, ebe ọ ga-akpọkwasị aha ya. N'ebe ahụ ka unu ga-abịakwute ya. [6] Ọ
bụkwa n'ebe ahụ ka unu ga-ewetara ONYENWE ANYỊ aja nsure ọkụ unu, na aja ndị
ọzọ niile, na otu ụzọ n'ụzọ iri unu, na onyinye pụrụ iche unu, bụ onyinye unu kwere
nkwa inye, na onyinye afọ ofufu unu, na onyinye ụmụ mbụ igwe ehi, na igwe ewu
na atụrụ unu. [7] Unu na ezinaụlọ unu ga-anọkwa n'ebe ahụ, n'ihu ONYENWE ANYỊ
Chineke unu, rie oriri unu. N'ihu ya kwa ka unu ga-aṅụrịkwa ọṅụ, n'ihi ihe niile ahụ
unu setịpụrụ aka unu ime, na n'ihi ngọzị ONYENWE ANYỊ Chineke unu gọziri unu.
[8] Unu agaghị emekwa ihe masịrị unu, dịka unu si eme taa, n'ihi na onye ọbụla
na-eme ihe ọbụla o chere na o ziri ezi n'anya ya, [9] n'ihi na iwu ndị a ebidobeghị
ịdị ire, ebe ọ bụ na unu abanyebeghị n'ebe izuike ahụ, na ihe nketa ahụ ONYENWE
ANYỊ Chineke unu na-enye unu. [10] Kama, mgbe unu gafere osimiri Jọdan, birikwa
n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu na-enye unu dịka ihe nketa, mgbe ONYENWE
ANYỊ nyere unu izuike, meekwa ka unu nwere onwe unu site n'ebe ndị iro unu nọ.
[11] Mgbe ahụ, unu ga-eweta ihe ndị ahụ niile m nyere unu n'iwu: aja nsure ọkụ unu
niile, na aja ndị ọzọ, na onyinye ahụ pụrụ iche unu kwere nkwa inye, unu ga-eweta
ya n'ebe ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu họpụtara ebe o kpọkwasịrị aha ya. [12] Unu
na ụmụ unu ndị ikom, na ụmụ unu ndị inyom, na ndị odibo nwoke na nwanyị niile
unu, na ndị Livayị bi n'obodo unu, ndị na-enweghị ihe nketa nke aka ha, ga-anọ
n'ebe ahụ ṅụrịa ọṅụ n'ihu ONYENWE ANYỊ Chineke unu. [13] Ị gaghị achụ aja nsure
ọkụ gị n'ebe ọbụla masịrị gị, [14] ọ bụ naanị n'ebe ahụ ONYENWE ANYỊ ga-ahọpụta. Ọ
ga-ahọpụta otu ebe, n'ala otu ebo. Ọ bụ naanị n'ebe ahụ ka ị ga-esure aja unu niile,
ọ bụkwa n'ebe ahụ ka ị ga-eweta onyinye gị niile.
[15] Otu ọ dị, ị pụrụ ịnọ n'ebe ọbụla gbuo anụ ị ga-eri, dịka ọ bụ ele maọbụ mgbada
ugbu a. Rie anụ mgbe ọbụla ọ gụrụ gị agụụ, na-erikwa ya mgbe ọbụla i nwetara
ya, dịka ngọzị ONYENWE ANYỊ Chineke unu na-enye unu. Ma onye dị ọcha, ma onye
na-adịghị ọcha nwere ike iso rie ya. [16] Naanị iwu dị n'iri anụ ndị a bụ na ị gaghị eri

ọbara ya, wụsa ọbara ya n’ala, dịka mmiri. 17 Ma o nweghị onyinye ọbụla a na-enye
ONYENWE ANYỊ i kwesiri ịnọ n’ụlọ gị rie. I kwesighị ịnọ n’ụlọ gị rie onyinye ndị a:
onyinye otu ụzọ n’ụzọ iri nke ọka na mmanya ọhụrụ gị, na nke mmanụ oliv, na ụmụ
mbụ nke igwe ehi na igwe ewu na atụrụ gị, na ihe ọbụla i kwere na nkwa, na onyinye
afọ ofufu gị, na onyinye ndị ọzọ pụrụ iche. 18 Kama unu ga-eri ha n’ihu ONYENWE
ANYỊ bụ Chineke unu, n’ebe ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu ga-ahọpụta, gị onwe gị,
na ụmụ gị ndị nwoke na ụmụ gị ndị nwanyị, na ndị odibo nwoke na nwanyị niile
unu, na ndị Livayị si n’obodo unu niile, unu ga-aṅụrịkwa ọṅụ n’ihu ONYENWE ANYỊ
bụ Chineke unu, n’ihe niile aka gị rụpụtara. 19 Echefukwala ndị Livayị, gị na ha ga
na-enwekọ ihe ndị a niile, ogologo ụbọchị niile i biri n’ala ahụ.
20 Mgbe ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke gị mere ka oke ala gị saa mbara, dịka o kwere
gị na nkwa, i nwee oke agụụ maka iri anụ na-asị, “Achọrọ m iri anụ,” mgbe ahụ,
i nwere ike rie anụ dịka i si chọọ. 21 Ọ bụrụ n’ebe ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị
kpọkwasịrị aha ya dị gị anya site n’ebe i nọ, i nwere ike gbuo anụ ụlọ site n’igwe ehi
maọbụ ewu na atụrụ nke ONYENWE ANYỊ nyere gị, dịka m si nye gị n’iwu. Gbuo ha
n’obodo ebe i bi, riekwa ha otu ị chọrọ. 22 Rie ha dịka ị ga-esi rie ele maọbụ mgbada.
Onye ọbụla n’ime unu nwere ike rie ya, ma onye dị ọcha ma onye na-adịghị ọcha.
23 Ma lezie anya hụ na i righị ọbara, n’ihi na ndụ dị n’ọbara. Ị gaghị erikọta anụ
ọbụla na ndụ ya. 24 Erila ọbara, wụsa ya n’ala dịka mmiri. 25 Erila ya, ka ihe si otu
a gaara gị na ụmụ ụmụ gị nke ọma, n’ihi na ị na-eme ihe ziri ezi n’anya ONYENWE
ANYỊ.
26 Ma were ihe ndị ahụ niile i doro nsọ, ya na ihe ọbụla i kwere ONYENWE ANYỊ na
nkwa gaa n’ebe ahụ ONYENWE ANYỊ ga-ahọpụta. 27 Chụọ aja nsure ọkụ n’elu ebe ịchụ
aja ONYENWE ANYỊ Chineke gị, ma anụ na ọbara. A ghaghị ịwụsa ọbara anụ ahụ e ji
chụọ aja n’akụkụ ebe nchụaja nke ONYENWE ANYỊ Chineke gị. Ma i nwere ike rie anụ
ahụ e ji chụọ aja. 28 Lezie anya, debe iwu ndị a niile m na-enye gị. Ọ bụrụ na i mee
ya, ihe ga-agara gị na ụmụ gị nke ọma, n’ihi na ọ bụ ihe dị mma n’anya ONYENWE
ANYỊ Chineke gị, na ihe ziri ezi ka ị ga na-eme.
29 ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-ala mba niile bi n’ala ahụ ị na-aga ibuso agha n’iyi.
Ma mgbe i si n’ala ahụ chụpụ ha, ị ga-ebichi n’ala ha. 30 Mgbe ị lachara ha n’iyi,
lezie anya ka ị ghara ịma n’ọnya, site n’ịjụ ajụjụ ka ịjụpụta otu ha si efe chi ha, na-
asị, “Mba ndị a o si aṅaa na-efe chi ha ofufe? Anyị ga-emekwa otu a.” 31 Efekwala
ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị dịka ha si efe chi ha, n’ihi na mgbe ha na-efe chi ha
ofufe, ha na-eme ihe arụ dị iche iche nke ONYENWE ANYỊ kpọrọ asị. Ọ bụladị ụmụ ha
ndị ikom na ndị inyom ka ha na-esure n’ọkụ nye chi ha dị iche iche dịka aja.
32 Lezienụ anya hụ na unu na-eme ihe niile bụ nke m nyere unu n’iwu. Unu etinyela
ihe n’ime ya maọbụ wepụkwa ihe site na ya.

# 13

*Ikpere chi ndị ọzọ**

1 Ọ bụrụ na onye amụma, maọbụ onye na-akọwa nrọ apụta n’etiti gị kwee nkwa na
ihe ịrịbama maọbụ ihe dị ebube na-aga ime, 2 ọ bụrụkwa na ihe ịrịbama ahụ maọbụ
ihe ebube ahụ e kwuru maka ya emezuo, emesịa onye amụma ahụ na-asị, “Ka anyị
gbaso chi ndị ọzọ dị iche, ka anyị feekwa ha,” bụ chi ndị ị na-amaghị, 3 egela okwu
onye amụma maọbụ ọrọ nrọ ahụ ntị. N’ihi na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu na-ele
unu ule ịmata ma unu jikwa obi unu, na uche unu hụ ya n’anya. 4 Ọ bụ ONYENWE ANYỊ
bụ Chineke unu ka unu ga-eso, naanị ya ka unu ga-atụ egwu. Debenụ iwu ya niile
na-erubekwara ya isi, na-ejere ya ozi, jidesiekwa ya ike. 5 A ga-egbu onye amụma

* **13:** 13:1 Maọbụ, ikpere arụsị

ahụ maọbụ onye ọrọ nrọ ahụ nke chọrọ iduhie unu, n’ihi na ọ chọrọ iweta nnupu isi megide ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu, onye kpọpụtara unu site n’ala Ijipt, onye gbapụtara unu site n’ọnọdụ ịbụ ndị ohu. Ihe ọ chọrọ ime bụ iduhie gị, ka ị ghara ibi ụdị ndụ ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị chọrọ ka i bie. Ọnwụ ya ga-eme ka i wezuga ihe ọjọọ site n’etiti gị.

6 Ọ bụrụ na ezi enyi gị maọbụ nwanne gị nwoke maọbụ nwa gị nwoke maọbụ nwunye gị ị hụrụ n’anya ejiri aghụghọ gwa gị okwu sị gị, “Bịa ka anyị gaa fee chi ndị ọzọ ofufe” (bụ chi ndị ị na-amaghị maọbụ nke nna gị ha na-amaghị, 7 chi nke ndị ala
ahụ gbara unu gburugburu, ma ha bụ ndị bi gị nso ma ha bụ ndị bi n’ebe dị anya, site n’otu nsọtụ nke ala ahụ ruo nsọtụ nke ọzọ), 8 ekwenyekwala maọbụ ṅaa ntị n’ihe ọ
na-ekwu. Enwekwala obi ebere n’ebe ọ nọ, ekpuchikwala atụmatụ ọjọọ ya niile. 9 Ị
ghaghị igbu ha. Buru ụzọ setịpụ aka gị tụọ ya nkume, ka ndị ọzọ soro gị tugbuo ya.
10 Jiri nkume tugbuo ya, n’ihi na ọ chọrọ ime ka i site n’iso ONYENWE ANYỊ Chineke, wezuga onwe gị, ka ị pụọ, ma chigharịa site n’iso ya, bụ ONYENWE ANYỊ, onye mere ka i site n’ala Ijipt pụta, ala ebe ị nọ n’ime ya dịka ohu. 11 Izrel niile ga-anụkwa banyere
ihe ọjọọ o mere, ha ga-atụkwa ihe ọjọọ dị otu a egwu, ọ dịkwaghị onye ọbụla n’etiti gị ga-achọkwa ime ihe ọjọọ dị otu ahụ.

12 Mgbe i bi n’obodo ndị ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị, ọ bụrụ na akụkọ esite n’otu obodo ndị a ruo gị ntị sị, 13 na ụfọdụ ndị mmadụ jọgburu onwe ha eduhiela
ndị obodo ha, na-asị, “Ka anyị gaa fee chi ndị ọzọ ofufe” (bụ chi ndị ị na-amaghị na
mbụ), 14 tupu i mee ihe ọbụla, ị ga-eburu ụzọ jụọ ase, jụpụta nke ọma, ma nyochapụta ma okwu ahụ ọ bụ eziokwu. Ọ bụrụ na ọ bụ eziokwu na-achọpụtakwara n’ihe arụ
dị otu a mere n’etiti unu, 15 ị ghaghị ibuso obodo ahụ agha jiri mma agha gbuo ndị mmadụ niile bi n’ime obodo ahụ. Ị ghaghị ibibi ya kpamkpam, ma ndị mmadụ ma anụ ụlọ ha. 16 Ihe nkwata niile i si n’obodo ahụ kwata ka ị ga-ekpokọta n’otu ebe, n’ama dị n’etiti obodo ahụ. A ga-akpọkwa ha niile ọkụ, gbaakwa obodo ahụ niile ọkụ, dịka aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu. Ruo mgbe ebighị ebi, obodo ahụ ga-abụ mkpọmkpọ ebe, a gaghị ewugharịkwa ya ọzọ. 17 Ọ dịghị ihe ndị ahụ e
debere nye mbibi nke e kwesiri ịhụ n’aka gị. Nke a ga-emekwa ka iwe ọkụ ONYENWE ANYỊ dajụọ, ka o gosikwa gị obi ebere. Ọ ga-enwekwa ọmịiko n’ahụ gị, meekwa ka ị baa ụba n’ọnụọgụgụ, dịka o ji iṅụ iyi kwee nna nna gị ha na nkwa. 18 ONYENWE ANYỊ
Chineke gị ga-eme ihe ndị a ma ọ bụrụ na ị na-erubere ya isi, na-edebezukwa iwu ya niile, nke m na-enye gị taa, ma na-eme ihe ziri ezi n’anya ONYENWE ANYỊ Chineke gị.

# 14

*Nri kwesiri oriri na ndị na-ekwesighị*

1 Unu onwe unu bụ ụmụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu, ya mere unu egbula onwe unu mma, maọbụ kpụchapụ agịrị isi dị nso nso egedege ihu unu n’ihi onye nwụrụ
anwụ.* 2 N’ihi na onye dị nsọ ka ị bụ nye ONYENWE ANYỊ Chineke gị. Ọ bụkwa gị ka ONYENWE ANYỊ họọrọ site na ndị niile nọ n’elu ụwa, ị bụ ihe oke ọnụahịa nye ya.

3 Erila ihe ọbụla m kwuru na ọ bụ ihe rụrụ arụ. 4 Ndị a bụ anụmanụ unu ga-eri:
ehi, atụrụ, na ewu, 5 na ele nta, na mgbada, na atụrụ ọhịa, na ewu ọhịa, ele ukwu, na
anịgọ bi n’elu ugwu. 6 Anụmanụ ọbụla ụkwụ ya wara njakpa, nke na-atagharị ọnụ
ka unu ga-eri. 7 Ma otu ọ dị, n’etiti anụ ndị ahụ na-atagharị nri maọbụ ndị ụkwụ ha wara njakpa, ndị a ka unu na-agaghị eri, ịnyịnya kamel, na ewi maọbụ ewi nkume, na anụ ndị ọzọ yiri ha, ọ bụ ezie na ha na-atagharị ọnụ, ma ha enweghị ụkwụ wara njakpa. Ha bụ ihe na-adịghị ọcha nye unu. 8 Ezi bụkwa anụ na-adịghị ọcha; ọ bụ

* **14:1** 14:1 Ihe ndị a bụ usoro mmemme iru ụjụ nke ndị na-eme omenaala. Lev 19:27-28

ezie na o nwere ụkwụ wara njakpa, ma ọ dịghị ataghari nri. Unu agaghị emetụla
ozu ha aka maọbụ rie anụ ha.
9 N'ime ihe niile e kere eke, dị ndụ, biri na mmiri, unu nwere ike iri nke ọbụla
nwere ntu na akpịrịkpa, 10 ma ihe ọbụla nke na-enweghị ntu na akpịrịkpa, unu erila
ha, n'ihi na ha rụrụ arụ.
11 Unu ga-eri nnụnụ ọbụla dị ọcha, 12 ma unu agaghị eri ndị a: ugo, na udele, na
udele ojii, 13 na ndagbụ, na ọgankwọ, na ndagbụ dị iche iche, 14 na ugolọma ọbụla
dị iche iche, 15 na enyi nnụnụ, na egbe abalị, na nnụnụ oke osimiri, na egbe dị iche
iche, 16 na okwukwu nta, na okwukwu ukwu, na okwukwu nwere mpi, 17 na okwolo
na udele, na komorant, 18 na ụgbala, na utù dị iche iche, na nnụnụ ọdụ nta, na ụsụ.
19 Ụmụ ahụhụ niile na-efe efe rụrụ arụ nye unu, unu erila ha, 20 Ma unu nwere ike
iri ụmụ ahụhụ ndị ahụ nwere nku, ndị dị ọcha.
21 Unu erila anụ ọbụla nwụrụ anwụ. Ma otu o si dị, onye ọbịa n'etiti unu nwere
ike rie ya. I nwere ike inye ya, maọbụ resi ya onye ahụ, ma erila ya, n'ihi na onye dị
nsọ nye Onyenwe anyị Chineke gị ka ị bụ.
Esila nwa ewu maọbụ nwa atụrụ n'ime mmiri ara nne ya.

### *Onyinye otu ụzọ n'ụzọ iri*

22 Ị ghaghị inye otu ụzọ n'ụzọ iri nke mkpụrụ ubi gị afọ niile. 23 Ị ga-erikwa mkpụrụ
ndị a n'ihu Onyenwe anyị, bụ Chineke gị, n'ebe ahụ ọ ga-ahọpụta ka ọ bụrụ ebe obibi
ya, ị ga-anọ n'ebe ahụ rie otu ụzọ n'ụzọ iri nke ọka gị, na mmanya vaịnị ọhụrụ gị,
na mmanụ oliv gị, na nwa mbụ nke igwe ehi gị, na igwe ewu na atụrụ gị. Ihe e ji
eme nke a bụ ka ị mụta ịtụ egwu Onyenwe anyị Chineke gị ụbọchị ndụ gị niile. 24 Ọ
bụrụ na ebe Onyenwe anyị họpụtara dị anya, ọ bụrụkwa na Onyenwe anyị Chineke
gị agọziela gị ruo na ị pụghị ibu otu ụzọ n'ụzọ iri gị gaa n'ebe ahụ (n'ihi na ebe
ahụ Onyenwe anyị họpụtara dị anya), 25 mgbe ahụ, gbanwee otu ụzọ n'ụzọ iri nata
ọlaọcha, were ọlaọcha ahụ jee n'ebe ahụ Onyenwe anyị Chineke gị họpụtara. 26 Were
ọlaọcha ahụ zụọ ihe ọbụla ị chọrọ: ehi, na atụrụ, na mmanya, maọbụ mmanya siri
ike na-aba n'anya maọbụ ihe ọbụla ọzọ nke ị chọrọ. Mgbe ahụ, gị na ezinaụlọ gị
ga-eri nri n'ihu Onyenwe anyị Chineke gị, ṅụrịakwa ọṅụ. 27 Echefukwala ime ka ndị
Livayị soro gị rie ihe ị kpatara, n'ihi na ha enweghị ihe nketa ọbụla, maọbụ ihe ubi
dịka gị.
28 N'ọgwụgwụ afọ atọ ọbụla, ị ga-eweta otu ụzọ n'ụzọ iri nke ihe ubi gị, chịkọta ha
n'ebe a ga-echebe ha n'obodo gị, 29 ka ndị Livayị, ndị na-enweghị ihe nketa n'etiti gị,
na ndị ọbịa, na ndị inyom di ha nwụrụ anwụ, na ụmụ mgbei niile nọ n'obodo gị, bịa
n'ebe ahụ were nri ha ga-eri, rijuokwa afọ. N'ụzọ dị otu a, Onyenwe anyị Chineke gị
ga-agọzi gị, gọziekwa ọrụ aka gị niile.

## 15

### *Afọ inwere onwe*

1 N'ọgwụgwụ afọ asaa ọbụla, ị ga-akagbu ụgwọ niile mmadụ ji gị. 2 Otu a ka a
ga-esi mee ya: Onye ọbụla e ji ụgwọ ga-akagbu ụgwọ niile onye Izrel ibe ya ji ya. Ọ
gaghị elekwa anya na onye agbataobi ya maọbụ nwanna ya ga-akwụ ya ụgwọ ahụ,
n'ihi na oge a na-ekwusa mgbaghara ụgwọ Onyenwe anyị eruola. 3 Mgbaghara a
erughị n'ebe ndị ọbịa nọ,* ma ị ghaghị ịkagbu ụgwọ ọbụla nwanna gị ji gị. 4 Otu ọ
dị, o kwesighị ka ndị ogbenye dịrị n'etiti gị, n'ihi n'ala ahụ Onyenwe anyị Chineke
gị na-enye gị ka inweta dịka ihe nketa gị, ọ ga-agọzi gị nke ukwuu, 5 ma ọ bụrụ na i
rube isi nye Onyenwe anyị Chineke gị, ma lezie anya debe iwu ndị a niile m na-enye

* **15:3** 15:3 Ndị ọbịa kwesiri ịkwụ ụgwọ a, n'ihi na ha adịghị eso ụmụ Izrel na-ahapụ ala ha ka o zuo ike nye Onyenwe anyị, mgbe afọ asaa ruru. Ya mere, ha nwere ego ịkwụ ụgwọ ha ji. Lev 25:1-7

gị taa. 6 ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-agọzi gị dịka o kwere na nkwa. Ị ga-agbazinye
ọtụtụ mba ego, ị gaghị anọ n'ụkọ! Ị ga-achị ọtụtụ mba, ma ha agaghị achị gị.
7 Ma mgbe ị banyere n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu na-enye gị, a sị na e
nwee onye ogbenye n'etiti gị, nke bụ onye Izrel ibe gị, ị gaghị emechi obi gị maọbụ
kechie aka gị megide ya, 8 ị ghaghị ịgbazinye ya ihe dị ka o si chọọ. 9 Lezie anya ka ị
ghara inwe ụdị echiche ọjọọ a n'obi gị sị, "Afọ mgbaghara ụgwọ na-abịa nso," n'ihi
ya, i kechie obi gị jụ ibinye nwanna gị nọ na mkpa ihe ọ chọrọ. Ọ bụrụ na onye ahụ
nọ na mkpa akwaa akwa kpọkuo ONYENWE ANYỊ, a ga-agụ gị dịka onye ikpe mmehie
mara. 10 Ị ghaghị inye ha site n'afọ ofufu, meekwa nke a na-enweghị obi ilu, mgbe
ahụ, n'ihi nke a, ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị ga-agọzi gị n'ọrụ gị niile nakwa ihe
niile nke ị tinyere aka na ya. 11 A ghaghị inwe ndị ogbenye n'etiti unu, ọ bụ ya mere
iwu a jiri dị mkpa. Gbasapụ aka n'ebe nwanna gị na n'ebe ndị ogbenye na ndị nọ na
mkpa nọ.

### *Mmeso a na-emeso ndị ohu*

12 Ọ bụrụ na onye Hibru ibe gị, ndị nwoke maọbụ ndị nwanyị, eresi gị onwe ha,
gbakwaara gị odibo afọ isii, n'afọ nke asaa, ị ghaghị ịhapụ ha ka ha nwere onwe ha.
13 Mgbe ọ hapụrụ ụlọ gị, ezipụkwala ya n'aka efu! 14 Ị ga-esite n'igwe anụ ụlọ gị, na
n'ebe ịzọcha ọka gị, na n'ebe ịzọcha vaịnị gị, nye ya onyinye pụrụ iche iji sị ya laa
n'udo. Nye ya onyinye a dịka ONYENWE ANYỊ Chineke gị si gọzie gị. 15 Cheta na ị bụrị
ohu n'ala Ijipt ma ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị gbapụtara gị. Ọ bụ n'ihi ya ka m ji
na-enye gị iwu a taa.
16 Ma ọ bụrụ na ohu gị asị gị, "Achọghị m ịhapụ gị," n'ihi na ọ hụrụ gị na ndị ụlọ
gị n'anya, hụkwa na ihe na-agara gị na ya nke ọma, mgbe gị na ya nọ. 17 Were agịga
kpọpuo ntị† ya n'ọnụ ụzọ ụlọ gị. Ọ ga-abụkwara gị ohu ogologo ndụ ya niile. Otu
aka ahụ kwa ka ị ga-eme ohu gị nwanyị.
18 Enwela obi mwute mgbe ọbụla ị na-ahapụ ohu gị ka o nwere onwe ya, n'ihi na ị
ga-echeta na ọ rụụrụ gị ọrụ afọ isii, ihe i mefukwara erughị ọkara ihe ị gaara eji goo
ndị ọrụ. ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-agọzikwa gị n'ihe niile ị na-eme.

### *Anụ ụlọ e bụ ụzọ mụọ*

19 Nwa oke ehi ọbụla maọbụ nwa atụrụ ọbụla maọbụ nwa ewu ọbụla e bụ ụzọ
mụọ n'ime igwe anụ ụlọ gị ka ị ga-edo nsọ nye ONYENWE ANYỊ Chineke gị, ejila nwa
mbụ nke ehi gị e buru ụzọ mụọ arụ ọrụ ubi, akpachakwala ajị nwa ewu maọbụ nwa
atụrụ ọbụla e buru ụzọ mụọ dị n'ime igwe ewu na atụrụ gị. 20 Gị na ezinaụlọ gị
ga-eri anụ ndị a n'ihu ONYENWE ANYỊ Chineke gị afọ ọbụla n'ebe ọ họpụtara. 21 Ma
ọ bụrụ na nwa anụ ọbụla e buru ụzọ mụọ nwere nkwarụ, dịka ngwụrọ maọbụ ìsì
maọbụ nkwarụ ọbụla nke jọrọ njọ, ị gaghị eji ya achụ aja nye ONYENWE ANYỊ Chineke
gị. 22 Kama, ka ọ bụrụ ihe oriri nye ezinaụlọ gị n'ime ụlọ gị. Onye ọbụla, ma ndị dị
ọcha ma onye rụrụ arụ n'oge ahụ ga-eri ya, dịka onye ọbụla pụrụ iri anụ ele maọbụ
anụ mgbada. 23 Ma erila ọbara ya. Wụsa ya n'ala dịka mmiri.

## 16

### *Mmemme Ngabiga*

1 Debe ọnwa Abib* iche maka ime Mmemme Ngabiga ONYENWE ANYỊ Chineke gị,
n'ihi na ọ bụ n'ọnwa Abib ka ONYENWE ANYỊ Chineke gị mere ka i si n'ala Ijipt pụta
n'abalị. 2 Ị ga-eji anụ si n'igwe atụrụ na ehi gị chụọrọ ONYENWE ANYỊ Chineke gị aja
ngabiga n'ebe ahụ ONYENWE ANYỊ ga-ahọpụta dịka ebe obibi nye aha ya. 3 Erila ya na
achịcha e ji ihe na-eko achịcha mee, kama ụbọchị asaa ka ị ga-eri achịcha na-ekoghị

---

† **15:17** 15:17 Ịkpọpu ntị bụ akara e ji amara onye bụ ohu na mgbe ochie. * **16:1** 16:1 Nke a bụ n'etiti ọnwa atọ na ọnwa anọ n'afọ, dịka anyị si agụ afọ nke anyị.

eko, ya bụ, achịcha ahụhụ, iji cheta na i si n'ala Ijipt pụta ngwangwa. Nke a ga-eme
ka i nwee ike na-echeta mgbe i sitere n'ala Ijipt pụta, ụbọchị niile nke ndụ. 4 Ka ihe
ọbụla na-eko achịcha ghara ịbata n'ezinaụlọ gị abalị asaa ndị ahụ. Unu ahapụkwala
anụ ọbụla unu chụrụ n'aja n'oge uhuruchi nke ụbọchị mbụ, nọọ ruo ụtụtụ.
5 Ị gaghị achụ aja ngabiga n'obodo ọbụla Onyenwe anyị Chineke gị nyere gị,
6 karịakwa n'ebe ahụ Onyenwe anyị Chineke gị họpụtara dịka ebe obibi nye ya
ka i ga-anọ chụọ ya. N'ebe ahụ ka ị ga-achụ aja ngabiga gị n'oge uhuruchi, mgbe
anwụ dachara, n'oge mgbe dịka oge ụbọchị ahụ i sitere n'Ijipt pụta. 7 Ị ga-ahụ ya
n'ọkụ riekwa ya n'ebe ahụ Onyenwe anyị bụ Chineke ga-ahọpụta. N'ụtụtụ, ị ga-
alaghachikwa n'ụlọ ikwu gị. 8 Ụbọchị isii ka ị ga-eri achịcha na-ekoghị eko, n'ụbọchị
nke asaa, nweenụ mkpọkọta nye Onyenwe anyị Chineke gị, arụkwala ọrụ ọbụla.

### *Mmemme owuwe ihe ubi*

9 Gụpụta izu asaa site na mgbe ị malitere itinye mma iwe ihe ubi n'ukwu ọka guzoro
eguzo n'ubi gị. 10 Meenụ Mmemme Izu Ụka asaa nye Onyenwe anyị, bụ Chineke gị,
site na inye onyinye afọ ofufu, n'usoro ọtụtụ ngọzị Onyenwe anyị bụ Chineke gị ji
gọzie gị. 11 Ọ bụ oge ịṅụrị ọṅụ nye gị na ụmụ gị ndị ikom na ndị inyom, ndị ohu
gị nwoke na nwanyị, ndị Livayị bi n'obodo gị, ndị ọbịa, ndị na-enweghị nna na ndị
inyom di ha nwụrụ bi n'etiti gị. Meenụ nke a n'ihu Onyenwe anyị Chineke gị, n'ebe
ahụ ọ họpụtara dịka ebe obibi nye aha ya. 12 Cheta na ị bụrị ohu n'ala Ijipt, n'ihi nke
a, unu echefula iwu ndị a.

### *Mmemme ụlọ ikwu*

13 Mmenụ mmemme ụlọ Ikwu. Unu aghaghị ime ya ụbọchị asaa mgbe unu wechara
ihe ubi, ya bụ, mgbe unu chịkọtachara ọka site n'ebe ịzọcha ọka, nakwa ebe ịzọcha
mmanya unu niile 14 Ọ bụ oge ịṅụrị ọṅụ, nye gị onwe gị, ụmụ ndị ikom na ndị inyom
gị, ndị odibo nwoke na nwanyị unu niile, ndị Livayị, ndị ọbịa, ụmụ mgbei na ụmụ
nwanyị niile di ha nwụrụ anwụ ndị bi n'obodo gị niile. 15 A ga-eme mmemme a nye
Onyenwe anyị Chineke gị ụbọchị asaa n'ebe ahụ Onyenwe anyị n'onwe ya họpụtara.
N'ihi na Onyenwe anyị Chineke gị ga-agọzi ihe ubi gị niile, gọziekwa akaọrụ gị niile,
ime ka ọṅụ gị zuo oke.
16 Ugboro atọ n'afọ ka ndị ikom unu niile aghaghị ịbịa chee onwe ha n'ihu Onye
kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị unu, n'ebe ọ ga-ahọpụta: n'oge mmemme ndị
a: Mmemme Achịcha na-ekoghị eko, Mmemme Izu Ụka asaa na Mmemme Ụlọ Ikwu.
Ọ dịghị onye ọbụla ga-agba aka efu bịa n'ihu Onyenwe anyị. 17 Onye ọbụla ga-eweta
onyinye dịka o nwere ike na dịka Onyenwe anyị Chineke gị sị gọzie ya.

### *Ndị ikpe*

18 Ị ga-ahọpụta ndị ikpe, na ndịisi ozi n'ebo niile, na n'obodo ọbụla Onyenwe anyị
Chineke gị na-enye gị. Ha ga-eme ka ezi ikpe dịrị ndị mmadụ niile. 19 Ekpekwala
ikpe aghụghọ, maọbụ kpee ikpe ile mmadụ anya n'ihu. Erikwala ngarị, n'ihi na iri
ngarị na-eme ka anya onye amamihe kpuo ìsì, meekwa ka okwu onye aka ya dị ọcha
gbagọọ agbagọ. 20 Gbasoo ikpe ziri ezi, mee ka ikpe ziri ezi dịgide, ka ị dịrị ndụ,
nweta ala ahụ Onyenwe anyị Chineke gị na-enye gị.

### *Ikpere arụsị*†

21 Amanyela oyiyi osisi chi Ashera ọbụla gị n'akụkụ ebe ịchụ aja ị wuru nye
Onyenwe anyị Chineke gị. 22 Eguzokwala ogidi nkume ọbụla n'ihi na ha bụ ihe
Onyenwe anyị Chineke gị kpọrọ asị.

† **16:20** 16:21 Ikpere chi ndị ọzọ

# 17

1 Achụrụla ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị ehi maọbụ atụrụ nwere nkwarụ ọbụla
maọbụ ntụpọ. Onyinye dị otu a bụ ihe arụ n'ebe ọ nọ.
2 Ọ bụrụ na ị nụ na onye ọbụla n'ime obodo ndị ahụ ONYENWE ANYỊ nyere gị, nwoke
maọbụ nwanyị na-eme ihe dị njọ n'anya ONYENWE ANYỊ Chineke gị ime ihe megidere
ọgbụgba ndụ ya, 3 ọ bụrụ na onye ahụ efee chi ndị ọzọ, maọbụ kpọọ isiala nye ha,
maọbụ fee anwụ, maọbụ ọnwa, maọbụ kpakpando nke mbara eluigwe bụ ihe m
na-enyeghị n'iwu, 4 ọ bụrụ na e mere ka ị maara n'ihe dị otu a dị maọbụ ị nụ ya,
ị ghaghị ịjụ ase, nyochaa ya nke ọma. Ọ bụrụ na ihe ị nụrụ bụ eziokwu, ọ bụrụ
n'ezie na e mere ihe arụ dị otu a n'ala Izrel, 5 kpọrọ nwoke maọbụ nwanyị ahụ mere
ihe ọjọọ dị otu a, kpọpụta ya n'ọnụ ụzọ ama obodo, tụọ ya nkume, tugbuo ya. 6 Ma
otu o si dị, a gaghị eme ka onye ahụ nwụọ site naanị n'ama otu mmadụ, kama ọ
ga-anwụ site n'ama mmadụ abụọ maọbụ atọ gbara. 7 Ndị ahụ gbara akaebe n'isi ya
ga-eburu ụzọ tụọ ya nkume, tupu mmadụ niile esoro tugbuo ya. Site n'ụzọ dị otu a,
unu ga-ekpochapụ ihe ọjọọ site n'etiti gị.

*Ụlọ ikpe*

8 Ọ bụrụ na unu enwee okwu siri ike na mkpebi, dịka igbu ọchụ, maọbụ okwu na
ụka metụtara mmadụ, maọbụ ịlụ ọgụ nke mmerụ ahụ dapụtara n'ime ya, ihe unu
ga-eme bụ iweta ikpe ahụ n'ebe obibi ONYENWE ANYỊ Chineke gị họpụtara, 9 n'ihu
ndị nchụaja, bụ ndị Livayị na onye nọ n'oche ikpe n'oge ahụ ka ha gbubie ikpe ahụ.
10 Ị ga-emekwa dịka mkpebi ha nyere gị n'ebe ahụ ONYENWE ANYỊ ga-ahọpụta. Lezie
anya hụ na i mezuru ihe niile dịka ha si tụziere gị aka. 11 Mee dịka iwu ha ziri gị
si dị, na dịka mkpebi ha nyere gị si dị. Ewezugala onwe gị site n'okwu ha nyere gị
n'ụzọ ọbụla 12 Ma onye ahụ ledara onye nchụaja na onye ikpe ahụ a họpụtara ije ozi
nye ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-anwụ. Unu ga-esi n'ala Izrel wezuga ihe ọjọọ dị otu
ahụ. 13 N'ụzọ dị otu a, mmadụ niile ga-anụ ihe mere onye ahụ nupuru isi, ha ga-atụ
egwu ghara ịbụ ndị mpako.

*Inwe eze*

14 Mgbe ị banyere n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị, merie ndị bi
n'ime ya, biri n'ime ya, i nwere ike malite iche n'obi gị sị, "Anyị kwesiri inwe eze
dịka mba ndị ọzọ niile dị anyị gburugburu." 15 O si otu a dịrị, lezie anya hụ na onye
ị ga-eme eze bụ onye ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-ahọpụta. Onye ahụ aghaghị
ịbụ onye Izrel n'ihi na i kwesighị ime onye mba ọzọ eze ka ọ chịa gị. 16 Hụ na
eze ahụ ị họpụtara enweghị ọtụtụ ịnyịnya. Eze ahụ ekwesịkwaghị izipụ ndị ga-aga
Ijipt ịzụpụtara ya ọtụtụ ịnyịnya ọzọ, n'ihi na ONYENWE ANYỊ agwala gị sị, "Ị gaghị
alaghachi Ijipt ọzọ." 17 Eze ahụ agaghị enwe ọtụtụ nwunye, n'ihi na nke a ga-eme ka
obi ya si n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ pụọ. Ọ gakwaghị ababiga ụba ọlaọcha na ọlaedo
oke.
18 Mgbe ọ nọkwasịrị n'ocheeze dịka eze, ọ ga-esite n'akwụkwọ iwu a ndị nchụaja
bụ ndị Livayị na-edebe, depụtara onwe ya iwu a metụtara obibi ndụ ndị eze. 19 Ihe
ahụ o depụtara ka ọ ga-agụ mgbe niile na ndụ ya. Nke a ga-eme ka ọ mụta ịtụ
egwu ONYENWE ANYỊ Chineke ya, na ịgbaso ihe niile dị n'iwu na ụkpụrụ ndị a. 20 Ịgụ
akwụkwọ iwu a mgbe niile ga-eme ka ọ mata na o nweghị ụzọ o si dị elu karịa
ụmụnna ya. Ọ ga-emekwa ka ọ ghara iwezuga onwe ya site n'iwu a n'ụzọ ọbụla.
Mgbe ahụ, ya onwe ya, na ụmụ ụmụ ya ga-achị alaeze Izrel ogologo oge.

# 18

*Ihe nketa ndị nchụaja na ndị Livayị*

1 Ndị nchụaja bụ ndị Livayị, na ndị ebo Livayị niile agaghị enwe oke maọbụ ihe
nketa ọbụla dịka ebo ndị ọzọ n'Izrel. Ihe onyinye ịchụ aja niile e wetara n'ihu
ONYENWE ANYỊ site n'ọkụ bụ ihe nketa ha. 2 Ha agaghị enwe ihe nketa ọbụla n'etiti
ụmụ Izrel ndị ọzọ, n'ihi na ONYENWE ANYỊ abụrụla ihe nketa nke ha dịka o kwere ha
na nkwa.
3 Nke ga-abụ oke ruuru ndị nchụaja n'ebe ndị mmadụ nọ, n'ebe ndị na-achụ aja,
site n'anụ ehi maọbụ atụrụ: a ga-enye onye nchụaja ubu aka ya, agba ya abụọ na afọ
ya. 4 Ha ga-enwetakwa mkpụrụ mbụ nke owuwe ihe ubi unu, ya bụ, ọka mbụ unu,
mmanya vaịnị ọhụrụ unu, mmanụ oliv unu na ajị mbụ a kpụchapụtara site n'ahụ
igwe atụrụ unu. 5 N'ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke unu ahọpụtala ebo Livayị na ụmụ
ụmụ ha site n'ebo niile nke Izrel ka ha bụrụ ndị ga-eguzo jee ozi n'ihu ONYENWE ANYỊ
oge niile.
6 Onye Livayị ọbụla si n'ebe o bi kwapụ gaa biri n'obodo ọzọ n'Izrel nwere ike ije
n'ebe ịchụ aja ONYENWE ANYỊ họpụtara, 7 ọ ga-eje ozi n'aha ONYENWE ANYỊ bụ Chineke
ya dịka ụmụnna ya ndị Livayị na-eje ozi n'ihu ONYENWE ANYỊ. 8 Ọ ga-esokwa keta oke
a na-ekenye ndị Livayị bi n'obodo ahụ, n'agbanyeghị na ọ na-enweta ego site n'orire
e rere ihe onwunwe ezinaụlọ ya.

### *Ikpere arụsị*

9 Mgbe ị banyere n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị, amụtakwala ime
omume arụ dịka ndị mba bi n'ala ahụ. 10 Ka a hapụ ịchọta onye ọbụla n'etiti gị
nke na-ewere nwa ya nwoke maọbụ nwanyị nye ka a kpọọ ya ọkụ n'ihi ịchụrụ chi
ndị mba ọzọ aja. Ka onye Izrel ọbụla ghara ịbụ onye na-ajụ mmụọ ase maọbụ onye
mgbaasị maọbụ na-agba aja, 11 maọbụ onye na-akụ mmadụ ibe ya ọgwụ, maọbụ onye
na-ajụ mmụọ ọjọọ ase, maọbụ dibịa afa maọbụ onye na-ajụ ase site n'aka ndị nwụrụ
anwụ. 12 Onye ọbụla na-eme ihe ndị a bụ onye ONYENWE ANYỊ kpọrọ asị. Ọ bụkwa
n'ihi ihe arụ ndị a ka ONYENWE ANYỊ Chineke gị ji na-achụpụ ndị bi n'ala a. 13 Ị ghaghị
ịbụ onye zuruoke n'ụzọ niile n'ihu ONYENWE ANYỊ Chineke gị.

### *Onye amụma nke ga-abịa*

14 Mba ndị ị na-aga inweta ala ha bụ ndị na-ajụ ase site n'aka ndị mgbaasị na ndị
na-agba aja, ma ONYENWE ANYỊ Chineke gị anabataghị na ị ga-eme ihe dị otu ahụ.
15 Kama ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-eme ka onye amụma nke dị ka m biliere unu
site n'etiti unu, site n'etiti ndị unu bụ Izrel. Ọ bụ ya ka unu ga-aṅa ntị. 16 N'ihi na
nke a bụ ihe gị onwe gị rịọrọ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị n'ugwu Horeb, n'ụbọchị
mkpokọta ahụ. I kwuru sị, "Anyị achọghị ịnụ olu ONYENWE ANYỊ maọbụ hụ ọkụ ahụ
dị egwu anya ọzọ, ka anyị ghara ịnwụ."
17 N'ihi ya, ONYENWE ANYỊ gwara m okwu sị m, "Ihe ha kwuru dị mma. 18 Aga m
eme ka onye amụma bilie n'etiti ha, onye Izrel dịka gị. Aga m agwa ya ihe ọ ga-ekwu,
okwu niile m tinyere n'ọnụ ya ka ọ ga-agwa ha. 19 Onye ọbụla jụrụ ige ntị n'okwu m
niile nke onye amụma ga-agwa ha n'aha m ka mụ onwe m ga-emesi ike. 20 Ma onye
amụma ọbụla sitere na nganga obi ya kwuo okwu n'aha m, bụ okwu nke m na-ezighị
ya ka o kwuo, ga-anwụ, maọbụ onye amụma ọbụla nke kwuru okwu n'aha chi ndị
ọzọ, onye amụma ahụ ga-anwụkwa."
21 I nwere ike ikwu n'obi gị sị, "Olee otu anyị ga-esi mata na okwu e kwuru si n'aka
ONYENWE ANYỊ n'ezie?" 22 Otu a ka unu ga-esi mata, ọ bụrụ na ihe onye amụma buru
n'amụma n'aha ONYENWE ANYỊ emezughị, okwu ahụ esighị n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ
bịa. Ọ bụ okwu onye amụma ahụ chepụtara kwuo n'onwe ya. Unu atụla ya ụjọ.

## 19

### *Obodo mgbaba*

[1] Mgbe ONYENWE ANYỊ Chineke gị bibiri mba ndị ahụ nwe ala ahụ ọ na-enye gị, mgbe
ị chụpụrụ ha bichie n'obodo ha nakwa ụlọ ha niile, [2] mgbe ahụ, kewapụta* obodo
atọ n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị inweta, doo ha iche. [3] Kewaa ala
ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị dịka ihe nketa ụzọ atọ ka otu obodo mgbaba
dịrị n'otu akụkụ. Wuzie ụzọ e si aga n'obodo ndị a ka ọ dịrị onye na-agba ọsọ mfe
ịgbaje n'ebe ahụ.
[4] Nke a bụ iwu banyere onye ọbụla gburu mmadụ gbaba n'ebe ahụ maka izere
ndụ. Ọ bụrụ na mmadụ esite na-amaghị ama gbuo onye agbataobi ya, bụ onye ọ
na-akpọghị asị n'oge gara aga, ọ ga-agbaba n'obodo ahụ n'ihi ize ndụ ya. [5] Ọ bụrụ na
mmadụ na ibe ya agaa n'ọhịa ịwa nkụ ma isi anyụike ya esite n'osisi ya dapụ dagbuo
nwoke ahụ so ya gaa ịwa nkụ, nwoke ahụ na-awa nkụ ga-agbala n'ime otu obodo ndị
a ichebe ndụ ya. [6] Ma ọ bụghị otu a, onye ahụ na-agba ụgwọ ọchụ ga-esite n'ọnụma
juru ya obi chụọ nwoke ahụ ọsọ, chụkwute ya, gbuo ya ma ọ bụrụ na obodo mgbaba
ahụ adịrị n'ebe dị anya, ọ bụ ezie na nwoke ahụ abụghị onye kwesiri ọnwụ, ebe ọ
bụ na o siteghị n'ekworo gbuo onye o gburu. [7] Ọ bụ nke a mere m ji nye unu iwu ka
unu wepụtara onwe unu obodo mgbaba atọ.
[8] Ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ Chineke gị emee ka oke ala gị saa mbara dịka ọ ṅụụrụ
nna nna gị ha n'iyi na ọ ga-eme, ọ bụrụkwa na o nye gị ala niile dịka o kwere na
nkwa, [9] n'ihi na i leziri anya gbasoo iwu ndị a m nyere gị taa ịhụ ONYENWE ANYỊ
Chineke gị n'anya, na ije ije dịka ụzọ ya si dị, mgbe ahụ, i nwere ike họpụta obodo
atọ ọzọ, nke ga-abụ obodo izere ndụ. [10] N'ụzọ dị otu a, ị ga-enwe ike gbochie ọnwụ
ndị aka ha dị ọcha. Ọbara onye na-adịghị ihe o mere agaghị adịkwa gị n'isi, n'ala
ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị dịka ihe nketa.
[11] Ma ọ bụrụ na nwoke ọbụla echere onye ọ kpọrọ asị n'ụzọ, gbuo ya, mesịa gbara
ọsọ gaa n'ime otu obodo ndị a, [12] ndị okenye obodo ya ga-ezi ndị mmadụ ka ha gaa
kpụta ya site n'ebe ahụ. Ha ga-ewerekwa ya nyefee n'aka onye ga-abọrọ onye ahụ
nwụrụ anwụ ọbọ, ka o gbuo ya. [13] Emerela ya ebere. Ị ghaghị ikpochapụ site n'Izrel
ikpe ọmụma nke so iwufu ọbara ndị aka ha dị ọcha, ka ihe gaara gị nke ọma.
[14] Mgbe ị batara n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-aga inye gị dịka ihe nketa,
ehigharịla oke ala onye agbataobi gị n'ala ahụ enyere gị inweta.

### *Ndị akaebe*

[15] Amala onye ọbụla ikpe mmehie n'ihi ama otu onye gbara. E kwesiri inwe ndị
akaebe abụọ, maọbụ atọ tupu a maa mmadụ ikpe.
[16] Ọ bụrụ na onye ọbụla achọọ imegide onye ọzọ site n'ịgba ama ụgha, [17] a ga-eduru
mmadụ abụọ ahụ bịa n'ihu ONYENWE ANYỊ na n'ihu ndị nchụaja na ndị ikpe na-arụ
ọrụ n'oge ahụ. [18] Ndị ikpe ga-enyocha okwu ahụ nke ọma. Ọ bụrụ na a chọpụta
na onye akaebe ahụ gbara ama ụgha, [19] ọ ga-ata ahụhụ ahụ nwoke ahụ ọ gbagidere
akaebe gaara ata. N'ụzọ dị otu a, ị ga-ekpochapụ ndị ọjọọ site n'etiti gị. [20] Ndị niile
nụrụ ya ga-atụ egwu, ha agaghị emekwa ihe ọjọọ dị otu ahụ ọzọ. [21] Emekwala ebere
ọbụla. Ndụ laara ndụ, anya laara anya, eze laara eze, aka laara aka, ụkwụ laara
ụkwụ.

## 20

### *Ibu agha*

[1] Mgbe i pụrụ ibuso ndị iro gị agha, ọ bụrụ na i lee anya hụ na ndị iro gị nwere ọtụtụ
ịnyịnya, ụgbọ agha na ndị agha dị ukwuu n'ọnụọgụgụ karịa gị, unu atụla egwu, n'ihi
na ONYENWE ANYỊ Chineke gị, onye ahụ mere ka i si n'ala Ijipt pụta n'udo, nọnyeere

* **19:2** 19:2 Obodo atọ Ndị a bụ obodo atọ ọzọ tinyere ndị mbụ e kewapụtarala n'ọwụwa anyanwụ Jọdan n'ihi ize ndụ. Ndị a ga-adị n'ebe ọdịda anyanwụ nke Jọdan.

gị. 2 Tupu agha ebido, otu onye nchụaja ga-eguzo n'ihu ndị agha Izrel gwa ha okwu sị,
3 "Geenụ ntị, unu ndị Izrel, taa, unu na-apụ ibuso ndị iro unu agha. Unu atụla egwu.
Unu atụla ụjọ. Ka obi unu gharakwa ịda mba. 4 N'ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke unu
ga-eso unu gaa, ọ ga-alụrụ unu ọgụ imegide ndị iro unu, ọ ga-enyekwa unu mmeri."
5 Mgbe ahụ, ndị ọchịagha ga-esi otu a gwa ndị agha Izrel okwu sị ha, "O nwere
onye ọbụla n'ime unu wuru ụlọ ọhụrụ ọ na-edobeghị nsọ nye ONYENWE ANYỊ? Ka
onye dị otu a laghachi n'ụlọ ya. Ka onye ahụ ghara ịnwụ n'agha hapụ ụlọ ya, ka
nwoke ọzọ doo ya nsọ nye ONYENWE ANYỊ! 6 Ọ dị nwoke ọbụla kụrụ ubi vaịnị ọhụrụ
nke ọ na-esitebeghị n'ime ya ghọọ mkpụrụ ọbụla? Ya laa, ka ọ ghara ịnwụ n'agha,
hapụrụ ya onye ọzọ nke ga-eri mkpụrụ si na ya! 7 Ọ dị nwoke nwere nwaagbọghọ o
kwere nkwa na ọ ga-alụ? Ya laa, gaa lụọ nwanyị! N'ihi na ọ bụrụ na ọ nwụọ n'agha,
nwoke ọzọ ga-alụ ya." 8 Mgbe ahụ, ndị ọchịagha ahụ ga-ekwukwa sị, "Ọ dị onye
egwu na-atụ? Ọ bụrụ na o nwere onye ụjọ na-atụ, ya laghachi n'ụlọ ya ka ịtụ ụjọ
ya hapụ ijide ndị ọzọ." 9 Mgbe ndịisi agha gwachara ndị agha ha okwu ndị a, ha
ga-ahọpụta ndịisi ga-achịkọta usuu ndị agha.
10 Mgbe ị bịaruru obodo ọbụla nso ibuso ya agha, ị ga-ebu ụzọ kpọọ ndị bi n'ime ya
oku, maka ime udo. 11 Ọ bụrụ na ha anabata ime udo, megheere gị ọnụ ụzọ ama ha,
ndị niile bi n'ime obodo ahụ ga-abụrụ gị ndị ọrụ na-agbakwara gị odibo. 12 Ma ọ bụrụ
na ha ekweghị ime udo, lụso gị agha, mgbe ahụ, ndị agha gị ga-agba ya gburugburu.
13 Mgbe ONYENWE ANYỊ Chineke gị nyefere gị ya n'aka, were mma agha gbuo nwoke
ọbụla nọ n'ime ya. 14 Ma ụmụ nwanyị niile na ụmụntakịrị niile, anụ ụlọ niile na ihe
nkwata niile nke ndị obodo ahụ ka ị ga-edebere onwe gị. Ị ga-ewerekwa ihe nkwata
nke ONYENWE ANYỊ Chineke gị nyere site n'aka ndị iro gị mee ihe dị gị mma. 15 Iwu
ndị a metụtara naanị mmeso ị ga-emeso obodo ndị tere anya. O metụtaghị obodo
ndị na-adịghị n'ime mba ndị a dị nso.
16 Ma otu ọ dị, n'obodo niile ndị ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke na-enye gị dịka ihe
nketa, o nweghị ihe ọbụla na-eku ume ị ga-ahapụ ndụ. Laa ihe niile na-eku ume
n'iyi. 17 Ị ghaghị ịla obodo ndị a n'iyi: obodo ndị Het na nke ndị Amọrait, nke ndị
Kenan na nke ndị Periz, nke ndị Hiv na nke ndị Jebus, dịka ONYENWE ANYỊ Chineke gị
nyere gị n'iwu. 18 Ma ọ bụghị otu a, ha ga-akụziri gị ime ihe ndị ahụ niile rụrụ arụ
ha na-eme mgbe ha na-efe chi ha dị iche iche, mee ka i mehie megide ONYENWE ANYỊ
Chineke gị.
19 Mgbe ị nọchibidoro obodo ọbụla ogologo oge, na-ebu agha megide ya maka iwere
ya, ebibila osisi na-amị mkpụrụ dị n'ime ya site n'iji anyụike gbutuo ha. N'ihi na i
nwere ike rie mkpụrụ osisi ha, egbutula ha. Osisi dị n'ọhịa ha ọ bụ ndị mmadụ, na
ị ga-anọchibido ha? 20 Naanị osisi na-adịghị amị mkpụrụ ka ị ga-egbutu, nke a na-
adịghị eri mkpụrụ ya eri. Jiri ha meere onwe gị ngwa ọgụ, dịka ubibi, na nkwasa,
na ihe unu ji etitu mgbidi obodo ahụ.

# 21

*Ọnwụ amaghị ihe kpatara ya*

1 Mgbe ị batara n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị inweta, biri n'ime
ya, ọ bụrụ na ị hụ otu onye e gburu egbu ka ọ tọgbọ n'ime ọhịa, ma ị maghị onye
gburu ya, 2 ndị okenye gị, na ndị ikpe ga-apụta, tụọ ịdị anya nke obodo niile dị
gburugburu ọhịa ahụ, site n'ebe ahụ onye ahụ e gburu egbu tọgbọ. 3 Ndị okenye
obodo ahụ ga-ewere nwa nne ehi a na-ejibeghị rụọ ọrụ, maọbụ nyara yoku ọbụla
4 ha ga-eduru ya gaa na ndagwurugwu nke mmiri na-eru n'ime ya, ndagwurugwu a
na-egwuzebeghị mgbe ọbụla ịrụ ọrụ ubi n'ime ya, nke a na-akụghị mkpụrụ n'ime ya,
gbajie olu nwaagbọghọ ehi ahụ n'ebe ahụ. 5 Ndị nchụaja, ụmụ Livayị, ga-abịa, n'ihi
na ONYENWE ANYỊ Chineke gị ahọpụtala ha ka ha bụrụ ndị na-ejere ya ozi. Ha ka ọ

họpụtakwara ikwupụta ngọzị n’aha ONYENWE ANYỊ, na ikpe niile metụtara mmerụ
ahụ. [6] Mgbe ahụ, ndị okenye niile nke obodo ndị ahụ dịkarịsịrị ozu ahụ nso, ga-
akwọ aka ha n’elu nwaagbọghọ ehi ahụ,* nke ahụ a gbajiri olu n’ime ndagwurugwu
ahụ. [7] Ha ga-ekwupụta sị, “Aka anyị dị ọcha, ọ bụghị anyị gburu nwoke a, anyị
amakwaghị onye gburu ya. [8] ONYENWE ANYỊ, kpuchiere ndị gị Izrel mmehie ha, bụ
ndị gị ị gbapụtara. Agụla ndị gị dịka ndị ikpe mara n’ihi ọnwụ nwoke a na-emeghị
ihe ọjọọ.” Otu a ka a ga-esi kpuchie mmehie n’ihi mwụfu ọbara ahụ. [9] N’ụzọ dị otu
a, ka ị ga-esi wezugara onwe gị ikpe ọmụma gaara abụ nke gị n’ihi ọbara onye ahụ
nwụrụ anwụ, ebe ọ bụ na i meela ihe ziri ezi n’anya ONYENWE ANYỊ.

*Ịlụ ndị inyom a dọtara n’agha*

[10] Mgbe ị pụrụ ibuso ndị iro gị agha, ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ Chineke gị emee
ka i merie ndị iro gị, dọta ụfọdụ n’ime ha n’agha, [11] ọ bụrụ na ị hụ nwaagbọghọ
mara mma nke masịrị gị n’etiti ndị a dọtara n’agha, i nwere ike iduru ya ka ọ bụrụ
nwunye gị. [12] Ị ga-akpọbata ya n’ụlọ gị, mee ka ọ kpụcha agịrị isi ya, bekwaa mbọ
ya niile, [13] yipụ uwe ahụ o yi mgbe e jidere ya. Ọ ga-anọdụ n’ụlọ gị ruo ụjụ n’ihi nna
ya na nne ya otu ọnwa. Emesịa, i nwere ike ịbakwuru ya ghọọ di ya, ya onwe ya
ga-aghọkwa nwunye gị. [14] Ọ bụrụ na ihe ya amasịkwaghị gị, ị ga-ahapụ ya ka ọ gaa
ebe ọbụla ọ chọrọ. Ị gaghị ere ya n’ọnụ ego ọbụla maọbụ kpasi ya agwa dịka ohu,
ebe ọ bụ na ị wedala ya n’ala site n’ịhụ ọtọ ya anya.

*Oke ruru ọkpara*

[15] Ọ bụrụ na nwoke lụrụ ndị inyom abụọ, ma hụ otu n’ime ha n’anya karịa nke
ọzọ, ọ bụrụkwa na ndị inyom abụọ ahụ mụtaara ya ụmụ ndị ikom, ma nwanyị ahụ
ọ kpọrọ asị buuru ụzọ mụta nwa nwoke, [16] mgbe nwoke ahụ na-eke ihe onwunwe
ya, ọ gaghị ewere oke ruuru ọkpara ya, nke nwanyị ahụ ọ kpọrọ asị mụtara kenye
nwa nwoke nke nwanyị ahụ ọ hụrụ n’anya mụrụ. [17] Ọ ga-anabata nwa nwoke nke
nwanyị ahụ ọ na-ahụghị n’anya mụtara dị ka ọkpara, nye ya, oke abụọ site n’ihe
niile o nwere. N’ihi na nwoke ahụ bụ mmalite ume ya, ọnọdụ nke ị bụ ọkpara bụkwa
nke ya.

*Nwa isiike*

[18] Ọ bụrụ na nwoke amụta nwa nwoke na-eme isiike, nke na-enupu isi, onye na-
adịghị ege nna ya na nne ya ntị, ọ bụladị mgbe ha dọrọ ya aka na ntị. [19] Nne ya na
nna ya ga-eduru ya gaa n’ihu ndị okenye, n’ọnụ ụzọ ama obodo ha. [20] Ha ga-agwa
ndị okenye obodo ahụ, “Nwa anyị nwoke a na-eme isiike, na-enupu isi, ọ dịghị ege
ntị n’olu anyị. Ọ bụ onye mmefu na onye na-aṅụbiga mmanya oke.” [21] Ndị ikom
niile nke obodo ahụ ga-ewere nkume tugbuo ya. N’ụzọ dị otu a, unu ga-ekpochapụ
ihe ọjọọ ahụ n’etiti unu. Ndị Izrel niile ga-anụ ihe mere, ụjọ ga-atụkwa ha.

*Iwu dị iche iche*

[22] Ọ bụrụ na nwoke ọbụla emee ihe ọjọọ kwesiri ọnwụ, ọ bụrụ na e kpee ya ikpe
ọnwụ, kwụgbuo ya n’osisi, [23] unu agaghị ahapụ ozu ya ka ọ dịgide n’elu osisi abalị
ahụ niile. Hụnụ na e liri ya n’otu ụbọchị ahụ, n’ihi na onye ọbụla a kwụbara n’elu
osisi bụ onye Chineke bụrụ ọnụ. Emerụla ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye
gị dịka ihe nketa.

## 22

[1] Ọ bụrụ na ị hụ ehi, maọbụ atụrụ nwanna gị ka ọ na-akpafu, emela dịka a ga-asị
na ị hụghị ya, jide ya, kpụlaara ya onye nwe ya. [2] Ọ bụrụ na ị maghị onye nwe ya,
maọbụ na nwanna gị ebighị nso, were ya laa n’ụlọ gị, hapụ ya n’ebe ahụ tutu onye

* **21:6** 21:6 Omume dị otu a, zipụtara na ha bụ ndị aka ha dị ọcha n’ọnwụ onye ahụ e gburu.

nwe ya achọwa ya, mgbe ahụ ka ị ga-ewere ya nyeghachi ya. 3 Otu a kwa ka ị ga-eme
ma ị hụ ịnyịnya ibu nwanna gị, maọbụ uwe, maọbụ ihe ọbụla ị ga-atụtụta. Were ya
debere onye nwe ya.

4 Ọ bụrụ na ị hụ ịnyịnya ibu, maọbụ ehi nwanna gị ka ha dara n'ụzọ, elela anya
n'ebe ọzọ, gaa nyere ya aka bulie ya.

5 Nwanyị ekwesighị iyi uwe ndị ikom, nwoke agaghị eyikwa uwe ndị inyom. N'ihi
na ihe arụ ka ọ bụ n'anya ONYENWE ANYỊ Chineke gị.

6 Ọ bụrụ na ị hụ akwụ nnụnụ tọgbọ n'ala, maọbụ nke dị n'elu osisi, ọ bụrụkwa na
ọ bụ nnụnụ nke nọ n'elu ụmụ ya, maọbụ n'elu akwa ya, ewerela nne na ụmụ nnụnụ
ya. 7 Hapụ nne nnụnụ ka ọ laa, ma were naanị ụmụ ya. Ihe ga-agakwara gị nke ọma
n'ihi ya, ị ga-enwekwa ndụ ogologo.

8 *Mgbe i wuru ụlọ, wuokwa ihe mgbochi gburugburu elu ya, nke ga-eme ka onye
ọbụla ghara isi n'elu ya dapụ, si otu a wetara ụlọ na onye nwe ya ikpe ọmụma nke
iwufu ọbara.

9 Akụla ụdị mkpụrụ abụọ n'ubi vaịnị gị. Ọ bụrụ na i mee otu a, ihe ọkụkụ ndị a,
na mkpụrụ ha mịrị ga-abụ ihe rụrụ arụ.

10 Ejikọla ehi na ịnyịnya ibu maka ịdọ ihe e ji akọ ala ubi.

11 Eyila uwe e ji ụzọ ihe abụọ kpaa, dịka uwe ajị anụ na ogho ọcha kpaa.

12 Ị ga-akpanyere onwe gị ihe ogho akpara akpa, n'akụkụ anọ nke uwe mgbokwasị
gị.

### *Mmekọrịta nwoke na nwanyị*

13 Ọ bụrụ na nwoke alụọ nwaagbọghọ, mesie mgbe o dinakwuru ya kpebie n'obi
ya na ọ chọkwaghị ịlụ ya ọzọ, 14 ọ bụrụ na nwoke a ekwutọọ nwaagbọghọ ahụ,
mebie aha ya kwuo na nwaagbọghọ ahụ amatalarị nwoke tupu ha abụọ alụọ, 15 nne
nwaagbọghọ ahụ, na nna ya, ga-ewere ihe ga-egosi na nwa ha amabeghị nwoke gaa
n'ihu ndị okenye obodo ahụ, n'ọnụ ụzọ ama. 16 Nna nwaagbọghọ ahụ ga-agwa ndị
okenye, “Enyere m nwoke a nwa m nwanyị dịka nwunye, ma ugbu a, ọ chọkwaghị
ịlụ ya. 17 Ugbu a, o boola ya ebubo ihere, sị, ‘Achọpụtaghị m ihe ọbụla n'ahụ nwa gị
nwanyị a ihe na-egosi na ọ maghị nwoke.’ Ma nke a bụ ihe ngosi na ada anyị amaghị
nwoke.” Mgbe ahụ ndị mụrụ ya ga-agbasapụ akwa ahụ n'ihu ndị okenye obodo ahụ.
18 Ndị okenye obodo ahụ ga-akpọrọ nwoke nyekwa ya ahụhụ. 19 Ha ga-emekwa ya ka
ọ kwụọ nna nwaagbọghọ ahụ narị shekel ọlaọcha, n'ihi na o boro nwaagbọghọ Izrel
na-amaghị nwoke ebubo ụgha. Nwaagbọghọ ahụ ga-anọgide bụrụ nwunye nwoke
ahụ. Nwoke ahụ agaghị achụpụkwa ya ụbọchị ndụ ya niile.

20 Ma ọ bụrụ na ebubo nwoke ahụ bụ eziokwu, na achọpụtaghị ihe gosiri na
nwaagbọghọ ahụ amaghị nwoke. 21 A ga-eduru nwaagbọghọ ahụ pụta n'ọnụ ụzọ
ụlọ nna ya, n'ebe ahụ ka ndị ikom obodo ya ga-anọ were nkume tugbuo ya. N'ihi na
o mere ihe ihere jọgburu onwe ya n'Izrel, site n'ibi ndụ akwụna mgbe ọ ka nọ n'ụlọ
nne ya na nna ya. Ị ghaghị ikpochapụ ihe ọjọọ ahụ site n'etiti unu.

22 Ọ bụrụ na e jide nwoke ebe ya na nwunye onye ọzọ dina, ma nwoke ahụ dinara
ya ma nwanyị ahụ o dinara aghaghị ịnwụ. N'ụzọ dị otu a, ị ga-ekpochapụ ihe ọjọọ a
site n'Izrel.

23 Ma ọ bụrụ na nwaagbọghọ na-amaghị nwoke a na-alụ alụ na nwoke ọzọ edinakọọ
n'ime obodo, 24 ya na nwoke ahụ ka a ga-eduru gaa n'ọnụ ụzọ ama obodo, were
nkume tugbuo ha n'ebe ahụ, ka ha nwụọ, nwaagbọghọ ahụ ga-anwụ n'ihi na o tighị
mkpu, ma nwoke ahụ ga-anwụ n'ihi na o mebiela nwunye nwoke ibe ya na-achọ ịlụ.
Unu aghaghị ikpochapụ ihe ọjọọ site n'etiti unu.

* **22:8** 22:8 Iwu a bụ ihe dị mkpa n'ihi na elu ụlọ ha na-adị larịị, nke bụ na mmadụ nwere ike ijegharị n'ebe ahụ, maọbụ dinaa ala n'abalị n'oge okpomọkụ.

25 Ma ọ bụrụ na nwoke ezute nwaagbọghọ na-amaghị nwoke a na-alụ alụ n’ọhịa,
were ike mee ka ha abụọ dina, ọ bụ naanị nwoke ahụ ga-anwụ. 26 Aka nwaagbọghọ
ahụ dị ọcha, ọ dịghị mmehie o mere nke ikpe ọnwụ ji adịrị ya, n’ihi na ọnọdụ ya dị
ka ọnọdụ mmadụ ahụ onye iro ya bịakwasịrị na mberede gbuo ya. 27 A pụrụ ị sị na
nwaagbọghọ ahụ tiri mkpu ma ọ dịghị onye nọ ịnapụta ya.
28 Ọ bụrụ na nwoke ọbụla ejiri ike jide nwaagbọghọ na-amaghị nwoke, nke nwoke
ọbụla na-ekwebeghị nkwa ịlụ, mee ka ha abụọ dinaa, 29 nwoke ahụ ga-akwụ nna
nwaagbọghọ ahụ iri shekel ọlaọcha ise. Ọ ga-alụkwa nwaagbọghọ ahụ n’ihi na o
mebiela ya. Ọ gakwaghị achụpụ ya ụbọchị niile nke ndụ ya.
30 Nwoke ọbụla agaghị alụ nwunye nna ya, n’ihi na ọ bụ nwunye nna ya. Ime ihe
dị otu a bụ imerụ ihe ndina nna ya.

# 23

*Ndị na-agaghị esonye na mkpọkọta ahụ*
1 Nwoke ọbụla echipịara mkpụrụ amụ ya, maọbụ nke e bipụrụ mkpụrụ amụ ya,
agaghị esonye na mkpọkọta ONYENWE ANYỊ.
2 Nwa ọbụla a mụtara site n’ịkwa iko agakwaghị esonye na mkpọkọta ONYENWE
ANYỊ, ụmụ ụmụ ya, ruo n’ọgbọ nke iri, agakwaghị esonye na mkpọkọta ONYENWE
ANYỊ.
3 Onye Amọn, maọbụ onye Moab, agaghị esonye na mkpọkọta ONYENWE ANYỊ, ọ
bụladị ruo n’ọgbọ nke iri ha. 4 N’ihi na ha e jighị achịcha na mmiri bịa zute unu
n’ụzọ mgbe unu si Ijipt pụta, ha goro Belam, nwa Beoa, onye si Petọ nke dị na Aram
Naharaim, ka ọ bụọ unu ọnụ. 5 Ma ONYENWE ANYỊ Chineke gị egeghị Belam ntị, kama
ONYENWE ANYỊ Chineke gị gbanwere ịbụ ọnụ ahụ mee ka ọ ghọọrọ gị ngọzị, n’ihi
na ONYENWE ANYỊ Chineke gị hụrụ gị n’anya. 6 Achọla udo ndị Amọn na Moab, na
ọdịmma ha ụbọchị ndụ gị niile ruo mgbe ebighị ebi.
7 Ma eledala ndị Edọm anya, n’ihi na ndị Edọm bụ ụmụnna unu. Unu eledala ndị
Ijipt anya, n’ihi na unu biri dịka ndị ọbịa n’ime ala ha. 8 Ụmụ a ga-amụrụ ha n’ọgbọ
nke atọ ha nwere ike ịbata na mkpọkọta nke ONYENWE ANYỊ.

*Adịghị ọcha n’ọmụma ụlọ ikwu*
9 Mgbe unu mara ụlọ ikwu unu maka ibu agha megide ndị iro unu, wezuganụ onwe
unu site n’ihe ọbụla na-adịghị ọcha. 10 Nwoke ọbụla n’etiti gị nke na-adịghị ọcha
site n’ịnyụ mkpụrụ nwa n’ahụ ya n’abalị, ga-apụ gaa nọdụ n’azụ ọmụma ụlọ ikwu.
11 Ọ ga-anọ n’ebe ahụ ruo uhuruchi, emesịa, ọ ga-asa ahụ ya lọghachi n’ụlọ ikwu
n’anyasị.
12 Ị ga-enwekwa otu ebe ndị gị ga-anọ jee n’ogwe ga-adị n’azụ ọmụma ụlọ ikwu.
13 Onye ọbụla n’ime unu ga-enwe shọvel dịka otu n’ime ngwa agha ya. Mgbe ọbụla
kwa o jere n’ogwe, ọ ga-eji ya gwuo ala kpochie nsị ọ nyụrụ. 14 Ụlọ ikwu gị ga-adị
nsọ, n’ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-ejegharị n’etiti gị ichebe gị, na ịnapụta gị
site n’aka ndị iro gị. ONYENWE ANYỊ achọghị ihu ihe ọbụla na-adịghị mma n’anya, ka
ọ ghara ịlaghachi azụ iso gị.

*Iwu ndị ọzọ*
15 Ọ bụrụ na ohu esite n’aka onye nwe ya gbakwute unu, akwagidela ya ka ọ
lọghachi, 16 hapụ ya ka o biri n’etiti gị n’ime obodo ọbụla masịrị ya, emegbukwala
ya.
17 Ọ dịghị nwoke maọbụ nwanyị, onye Izrel ga-aghọ akwụna ụlọ arụsị. 18 Ị gaghị
ewebata n’ụlọ ONYENWE ANYỊ Chineke gị, onyinye ọbụla site n’ego nwanyị na-agba
akwụna kpatara, maọbụ site n’ego nwoke ahụ na-edebe onwe ya dịka akwụna nye

ndị ikom ibe* ya kpatara, iji mezuo nkwa ọbụla. N'ihi na ha abụọ bụ ihe rụrụ arụ n'anya ONYENWE ANYỊ Chineke gị.

19 A nakwala onye Izrel ibe gị ọmụrụnwa, n'ihe ọbụla i binyere ya, maọbụ ego,
maọbụ nri, ma ọ bụkwanụ ihe ọbụla ọzọ nwere ike ịmụta ọmụrụnwa. 20 Onye mba
ọzọ ka ị ga-ana ọmụrụnwa n'ihe i binyere ya, ọ bụghị onye Izrel ibe gị. Ka ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị gọzie gị n'ihe niile i tinyere aka gị ime n'ala ahụ nke ị na-aba inweta.

21 Mgbe i kwere ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị nkwa, alala azụ n'ịkwụghachi ya, n'ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke gị chọrọ ka ị kwụghachi nkwa gị ọsịịsọ. Ọ ga-abụkwara
gị mmehie ma i meghị ya. 22 Ma ọ gaghị abụrụ gị mmehie ma ọ bụrụ na i kweghị
nkwa ọbụla! 23 Ihe ọbụla nke i kwere na nkwa, jisie ike hụ na i mezuru nke ahụ dịka okwu gị si dị, n'ihi na ọ bụ onyinye afọ ofufu nye ONYENWE ANYỊ Chineke gị.

24 Ọ bụrụ na ị banye n'ubi vaịnị onye agbataobi gị, i nwere ike ghọrọ mkpụrụ
vaịnị ọbụla ị chọrọ rachaa n'ebe ahụ, ma etinyela mkpụrụ ọbụla n'akpa gị. 25 Otu
a kwa, ị banye n'ubi ọka onye agbataobi gị, ghọrọ mkpụrụ ọka ọbụla ị chọrọ n'aka gị, nọọkwa n'ebe ahụ taa ya, ma ị gaghị etinye mma iwe ihe ubi n'ime ọka ha ndị guzoro eguzo.

# 24

1 Ọ bụrụ na nwoke akpọrọ nwanyị, lụọ ya, ma emesịa ihe nwanyị ahụ amasịkwaghị ya n'ihi na ọ dị ihe ọ chọpụtara n'ahụ ya nke na-adịghị mma, ọ ga-ede akwụkwọ
alụkwaghị m nye nwanyị ahụ n'aka, zilaa ya. 2 Ọ bụrụ na emesịa, nwoke ọzọ alụọ ya,
3 ma nwoke ahụ ekpebiekwa ịgbara ya akwụkwọ achọkwaghị m, maọbụ na nwoke a
mesịrị nwụọ, 4 nwoke mbụ ahụ lụrụ nwanyị ahụ agaghị alụ ya ọzọ, n'ihi na nwanyị a abụrụla onye rụrụ arụ nye nwoke ahụ. Ọ bụkwa arụ n'anya ONYENWE ANYỊ ma di ya nke mbụ lụọ ya ọzọ. Ihe dị otu a ga-eweta ihe ọjọọ n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke na-enye gị dịka ihe nketa.

5 Nwoke ọbụla lụrụ nwunye ọhụrụ agaghị apụ soro ndị agha, maọbụ soro rụọ ọrụ ọzọ pụrụ iche, otu afọ ka ọ ga-enwere onwe ya ịnọ n'ụlọ ya, ya na nwunye ya, ime onwe ha obi ụtọ.

6 Mmadụ agaghị ewere nkume ịkwọ nri dịka ihe ebe, n'ihi na ọ bụ ihe onye nwe ya ji achọta nri ụbọchị ya.

7 Ọ bụrụ na onye ọbụla ezuru nwanna ya onye Izrel n'ohi, mesoo ya mmeso dịka ohu, maọbụ ree ya, onye ohi ahụ ga-anwụ. Nke a bụ ikpochapụ ihe ọjọọ n'etiti gị.

8 Gbalịsie ike ịhụ na ị na-eso iwu niile onye nchụaja, bụ onye Livayị nyere gị
banyere ndị nwere ọrịa ekpenta, n'ihi na agwala m ya usoro ha ga-agbaso. 9 Chetakwa
ihe ONYENWE ANYỊ Chineke gị mere Miriam, mgbe i si n'Ijipt na-apụta.

10 Ọ bụrụ na i binye mmadụ ihe ọbụla, abanyekwala n'ụlọ ya ịnata ihe a na-enye
gị dị ka ihe ebe. 11 Guzo n'ezi! Ka onye ahụ ị na-ebinye ihe wetara gị ihe ibe ahụ
n'ezi. 12 Ọ bụrụ na ọ bụ onye ogbenye na-enweghị ihe, e jidela ihe ibe ya naba ụra
abalị. 13 Weghachiri ya akwa ahụ n'anyasị, ka onye agbataobi gị jiri ya hie ụra abalị. Mgbe ahụ ha ga-ekele gị, ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-agụkwara gị ya n'ezi omume.

14 Emegbula nwa ogbenye mkpa na-akpa i goro ọrụ, ma onye ahụ ọ bụ nwa Izrel
ma ọ bụkwanụ onye ọbịa bi n'obodo gị. 15 Kwụọ ya ụgwọ ya ụbọchị niile tupu anwụ adaa, n'ihi na ebe ọ bụ nwa ogbenye, obi ya dabeere n'ụgwọ ahụ ị ga-akwụ ya. Ọ bụrụ na i meghị otu a, ọ ga-akwa akwa kpọkuo ONYENWE ANYỊ megide gị. A ga-agụkwara gị ya dịka mmehie.

* 23:18 23:18 Maọbụ, ego e retara na nkịta

16 Agaghị eme ka ndị mụrụ ụmụ nwụọ n’ihi ihe ụmụ ha metara, maọbụ mee ka
ụmụ nwụọ n’ihi ihe ndị mụrụ ha metara, onye ọbụla ga-anwụ n’ihi mmehie nke aka
ya.

17 Ikpe ziri ezi ga-adịrị, ọ bụladị onye ọbịa na nwa mgbei, anarakwala nwanyị di
ya nwụrụ anwụ uwe ya dịka ihe ibe. 18 Cheta mgbe niile na i bụrụrị ohu n’ala Ijipt,
ma Onyenwe anyị Chineke gị gbapụtara gị, n’ihi nke a ka m ji enye gị iwu ndị a.

19 Ọ bụrụ na i lefuo ukwu ọka ụfọdụ anya mgbe ị na-ewe ihe ubi n’ubi gị,
alaghachila azụ n’ubi gị ịchịrị ha. Hapụrụ ya ndị ọbịa, na ndị inyom di ha nwụrụ
anwụ, na ụmụ mgbei, Onyenwe anyị Chineke gị ga-agọzi gị, ọ ga-emekwa ka ị
baa ụba. 20 Mgbe ị na-akụtusi mkpụrụ osisi oliv gị, ejeghachila azụ n’alaka ọbụla
inyochazi ya, ịchọpụta ma ị ghọtachaala mkpụrụ niile mịrị n’elu ha. Hapụrụ ndị
ọbịa na ụmụ mgbei, na ndị inyom di ha nwụrụ mkpụrụ ọbụla fọdụrụ. 21 Otu a ka
ị ga-emekwa n’ihe banyere mkpụrụ ubi vaịnị gị. Atụtụkọchala mkpụrụ niile mịrị
n’elu ya. Hapụrụ ndị ọbịa, na ndị mgbei, na ndị inyom di ha nwụrụ ihe niile fọdụrụ.
22 Chetakwa na o nwere mgbe ị bụ ndị ohu n’ala Ijipt. Ọ bụ n’ihi ya ka m ji na-enye
gị iwu a.

## 25

1 Mgbe esemokwu dị n’etiti ndị mmadụ, ha ga-ebuga ikpe ha n’ụlọikpe ebe ndị
ikpe ga-elenye anya n’ikpe ahụ, maa onye ajọ omume ikpe, meekwa ka onye aka ya
dị ọcha nwere onwe ya. 2 Ọ bụrụkwa na onye ikpe mara kwesiri ka apịa ya ụtarị,
onye ọkaikpe ga-eme ka onye ahụ dinaa ala n’ihu ya, ka apịakwa ya ọnụọgụgụ ụtarị
kwesiri ajọ omume ya, 3 ma agaghị eti ya karịa ọnụ ụtarị iri anọ. Ọ bụrụ na e tie
onye ahụ ikpe mara ọnụ ụtarị karịrị nke a, ọ ga-abụ onye e leliri anya n’ihu ndị Izrel
ibe ya.

4 Mgbe ehi[*] na-azọcha ọka, ejila ihe kechie ya ọnụ.

5 Ọ bụrụ na nwoke anwụọ na-amụtaghị nwa, nwunye ya ahụ agaghị alụ di n’ama,
kama nwanne nwoke di ya ga-alụrụ ya, ha ga-edinakọkwa. 6 Nwa nwoke mbụ nwanyị
ahụ ga-amụ ga-aza aha nwoke ahụ nwụrụ anwụ, ka a ghara ihichapụ aha ya n’ala
Izrel.

7 Ma ọ bụrụ na nwoke ahụ ajụ ịlụ nwunye nwanne ya nwụrụ anwụ, nwanyị ahụ ga-
ejekwuru ndị okenye obodo ahụ n’ọnụ ụzọ ama, gwa ha sị, “Nwanne di m ajụla ime
ka aha nwanne ya nwoke dịgide n’Izrel. O kweghị ịrụ ọrụ kwesiri nwanne di n’ebe m
nọ.” 8 Ndị okenye obodo ga-akpọ ya, dụọ ya ọdụ. Ọ bụrụ na ọ nọgide jụ sị, “Achọghị
m ịlụ ya,” 9 nwanyị ahụ ga-ejekwuru ya n’ihu ndị okenye, tọpụ akpụkpọụkwụ o yi
n’ụkwụ aka nri ya, bụọ ya asụ n’ihu, sị ya, “Otu a ka a na-eme nwoke ọbụla jụrụ
iwuli ụlọ nwanne ya nwoke.” 10 A ga-ama ahịrị ya n’Izrel dịka, “Ezinaụlọ nwoke ahụ
e sitere n’ụkwụ ya yipụ akpụkpọụkwụ ya.”

11 Mgbe ndị ikom abụọ na-alụ ọgụ, ọ bụrụ na nwunye otu n’ime ha abịa ịnapụta
di ya site n’aka onye na-eti ya ihe, ma nwanyị ahụ esetipụ aka jide nwoke ahụ n’amụ
ya, 12 a ga-egbupụ aka nwanyị ahụ. Ebere adịghị ya.

13 Enwela ụzọ ihe ọtụtụ abụọ n’ime akpa gị, nke dị arọ, na nke na-adịghị arọ.[†]
14 Enwela ụdị ihe ọtụtụ abụọ n’ụlọ gị, nke ukwu na nke nta. 15 Ị ghaghị inwe ezi
ihe ọtụtụ na nke zuru ezu. Nke a ga-eme ka ndụ gị dị ogologo, dịkwa mma n’ala
ahụ Onyenwe anyị Chineke gị na-enye gị. 16 N’ihi na Onyenwe anyị Chineke gị kpọrọ
onye ọbụla na-eme ihe ndị a asị, bụ onye ọbụla na-aghọ aghụghọ.

---

[*] **25:4** 25:4 Ọtụtụ oge, ehi bụ ihe na-azọcha ọka n’ebe ịzọcha ọka. A na-eji osisi kegide anụ ndị a na nkume igwe nri, mgbe ha na-agagharị, ụkwụ ha bụ ihe na-azọcha mkpụrụ ọka site n’igbugbo ya. N’otu oge ahụ, nkume igwe nri ahụ na-egweri ọka ndị a ka ọ bụrụ ụtụ ọka. [†] **25:13** 25:13 Nke ukwu na nke nta

[17] Cheta ihe ndị Amalek mere gị n'ụzọ mgbe i si n'Ijipt na-apụta. [18] Chetakwa na
ha lụsoro gị ọgụ mgbe ike gwụrụ gị, mgbe ị dara mba, tigbuo ndị niile ji nwayọọ
na-abịa n'azụ. Ha atụkwaghị egwu Chineke. [19] Mgbe ONYENWE ANYỊ Chineke gị mere
ka i nwere onwe gị site n'aka ndị iro gbara gị gburugburu, mgbe o mere ka i zuru
ike n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị dịka ihe nketa, ime ka i nweta ya,
ị ghaghị igbuchapụ ndị Amalek, ka ha bụrụ ndị a na-agaghị echetakwa ọzọ n'okpuru
eluigwe. Echefukwala ime otu a.

# 26

*Onyinye mkpụrụ mbụ na otu ụzọ n'ụzọ iri*

[1] Mgbe ị ga-aba n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị dịka ihe nketa,
mgbe ị nwetara ya, birikwa n'ime ya, [2] ị ga-ewere ụfọdụ n'ime mkpụrụ niile si n'ala
ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị, tinye ya n'ime nkata, were ya gaa n'ebe
ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu ga-ahọpụta, dịka ebe a kpọkwasịrị aha ya. [3] Ị ga-
agwakwa onye nchụaja nọ n'ọrụ n'oge ahụ okwu sị: "Ana m ekwupụta taa nye
ONYENWE ANYỊ Chineke gị na abịala m n'ala ahụ ONYENWE ANYỊ ṅụụrụ nna nna anyị
ha n'iyi inye anyị." [4] Onye nchụaja ahụ ga-anara nkata ahụ, dọba ya n'ihu ebe
ịchụ aja ONYENWE ANYỊ Chineke gị. [5] Mgbe ahụ, ị ga-ekwupụta n'ihu ONYENWE ANYỊ
Chineke gị sị, "Nna nna m bụ onye Aram na-awagharị awagharị, onye jere Ijipt izere
ndụ.* Ha dị ole na ole mgbe ha gara Ijipt, ma n'Ijipt ha ghọrọ mba dị ukwuu, ndị
dị ike, na ndị bara ụba n'ọnụọgụgụ. [6] Ma ndị Ijipt mejọrọ anyị, mee ka anyị taa
ahụhụ n'ihi ọrụ dị ike nke ha bokwasịrị anyị. [7] Mgbe ahụ, anyị tikuru ONYENWE ANYỊ
Chineke nna nna anyị. ONYENWE ANYỊ nụrụ olu anyị, hụkwa mmegbu a na-emegbu
anyị, na ndọgbu anyị na-adọgbu onwe anyị n'ọrụ, na ọnọdụ ọjọọ anyị. [8] ONYENWE
ANYỊ ji aka dị ike na ogwe aka o setịrị eseti, n'ọtụtụ ihe oke egwu na ọrụ ịrịbama,
na ihe ebube, si n'Ijipt kpọpụta anyị. [9] Ọ kpọbatara anyị n'ebe a, nye anyị ala a, ala
mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya. [10] Ya mere, ugbu a, ONYENWE ANYỊ, lee,
ewebatala m mkpụrụ mbụ sitere n'ala i nyere m." Dọba nkata ahụ n'ihu ONYENWE
ANYỊ Chineke gị, kpọọkwa isiala nye ya n'ebe ahụ. [11] Mgbe ahụ, gị na ndị Livayị, na
ndị mbịarambịa bi n'etiti unu, ga-aṅụrị ọṅụ n'ihe ọma niile ONYENWE ANYỊ Chineke
gị nyere gị na ezinaụlọ gị.

[12] N'afọ nke atọ ọbụla, ị ga-enye onyinye pụrụ iche, onyinye otu ụzọ n'ụzọ iri, nke
ihe ubi gị. N'afọ ahụ, ị ga-enye ndị Livayị, na ndị ọbịa, na ụmụ mgbei, na ndị inyom
di ha nwụrụ, onyinye otu ụzọ n'ụzọ iri gị, ka ha rie ya n'obodo gị dị iche iche, ka afọ
jukwa ha. [13] Ị ga-ekwupụta n'ihu ONYENWE ANYỊ Chineke gị sị, "Esitela m n'ụlọ wepụ
oke ahụ dị nsọ, nye ha ndị Livayị, na ndị ọbịa, na ụmụ mgbei, na ndị inyom di ha
nwụrụ, dịka i nyere m n'iwu, enupughị m isi maọbụ chefuo iwu gị ọbụla. [14] Erighị
m ihe ọbụla si n'ime ya mgbe m na-eru ụjụ maọbụ wepụ ihe ọbụla n'ime ya n'ọnọdụ
adịghị ọcha m, ọ dịkwaghị nke m ji chụọrọ ndị nwụrụ anwụ aja. Egeela m ntị n'olu
ONYENWE ANYỊ Chineke m, meekwa ihe niile i nyere m n'iwu. [15] Site n'ebe obibi nsọ
gị dị n'eluigwe ledata anya gị, gọzie ndị gị Izrel na ala a i nyere anyị, ala mmiri ara
ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya, dịka i kwere nna nna anyị ha na nkwa."

*Ịgbaso iwu ONYENWE ANYỊ*

[16] ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị iwu taa si gị gbaso ụkpụrụ ndị a na iwu ndị
a. Lezie anya hụ na i ji obi gị niile na mkpụrụobi gị niile debe ha. [17] I kwupụtala taa
na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị, i kweekwala nkwa na ị ga-ege ya ntị, debe iwu ya
niile, na ụkpụrụ ya niile, na ị ga-emekwa ihe niile ọ sị gị mee. [18] Taa kwa, ONYENWE
ANYỊ ekwupụtala na unu bụ ndị nke aka ya, dịka o kwere na nkwa, na ị ga-edebekwa

* **26:5** 26:5 Onye a na-ekwu banyere ya bụ Jekọb, Hos 12:12; Jen 43:3; 45:7,11

ihe niile o nyere n’iwu. 19 O kwuru na ọ ga-emekwa ka i karịa mba niile o kere elu,
n’otuto, n’aha, nsọpụrụ na ịja mma. Na unu ga-abụkwa mba dị nsọ nye ONYENWE
ANYỊ Chineke unu, dịka o kwere na nkwa.

## 27

*Ebe ịchụ aja n’ugwu Ebal*

1 Mosis na ndị okenye Izrel nyere ndị Izrel iwu sị, “Debenụ iwu ndị a niile m na-enye
unu taa. 2 Mgbe ị gabigara osimiri Jọdan ruo n’ala ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-
enye gị, bukọtaanụ nkume buru ibu n’otu ebe, jirikwa ụrọ ọcha techie ha. 3 Depụta
n’elu nkume ndị ahụ iwu na ụkpụrụ ndị a mgbe ị batara n’ala ahụ mmiri ara ehi
na mmanụ aṅụ na-eru n’ime ya, nke ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna gị kwere nkwa
inye gị. 4 Mgbe ị nọkwa n’ofe ọzọ nke osimiri Jọdan, doo nkume ukwu ndị a n’ugwu
Ebal, dịka m na-enye gị n’iwu taa. Jirikwa ụrọ ọcha techie ha. 5 Wuokwara ONYENWE
ANYỊ Chineke gị ebe ịchụ aja ya n’ebe ahụ. Ebe ịchụ aja eji naanị nkume wuo, nke
ejighị ihe ngwa ọrụ igwe rụọ ihe bụla na ya. 6 Jiri nkume a na-awaghị awa wuore
ONYENWE ANYỊ Chineke gị ebe ịchụ aja ahụ, chụọkwa aja n’elu ya nye ONYENWE ANYỊ
Chineke gị. 7 Chụọ aja udo n’ebe ahụ, rie ha, ma ṅụrịakwa ọṅụ n’ihu ONYENWE ANYỊ
Chineke gị. 8 Depụta iwu ndị a nke ọma, n’elu nkume ndị ahụ i guzobere.”

*Ịbụ ọnụ site n’ugwu Ebal*

9 Mgbe ahụ, Mosis na ndị nchụaja, bụ ndị Livayị, gwakwara ndị Izrel niile okwu
sị, “Nọọnụ jii, gị Izrel, gekwaa ntị! Taa, ị ghọọla ndị nke ONYENWE ANYỊ Chineke unu.
10 N’ihi ya debe iwu niile ONYENWE ANYỊ Chineke gị na ụkpụrụ niile ndị m nyere gị
taa.”

11 N’otu ụbọchị ahụ ka Mosis nyere ha iwu sị,

12 Mgbe unu gafere Jọdan, ebo ndị a: Simiọn, na Livayị na Juda na Isaka na Josef
na Benjamin, ga-eguzo n’elu ugwu Gerizim gọzie ụmụ Izrel 13 Agbụrụ Ruben, Gad,
Asha, Zebụlọn, Dan na Naftalị ga-eguzo n’elu ugwu Ebal kwupụta ọbụbụ ọnụ.

14 Ndị Livayị ga-eji olu dị elu gụpụta ya nye ụmụ Izrel niile,

15 “Onye a bụrụ ọnụ ka mmadụ ahụ bụ nke na-apị arụsị maọbụ oyiyi ọbụla, akaọrụ
onye ǹka, nke bụ ihe arụ n’anya ONYENWE ANYỊ, ma na-eguzobe ya na nzuzo.”

Ndị mmadụ niile ga-aza sị, “Amen.”

16 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ, nke na-elelị nna ya na nne ya.”

Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”

17 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ nke na-ehigharị oke ala onye agbataobi ya.”

Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”

18 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ nke na-eduhie onye ìsì ụzọ.”

Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”

19 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ nke na-adịghị ekpe ikpe ziri ezi nye ndị ọbịa,
na ụmụ mgbei, na ndị inyom di ha nwụrụ.”

Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”

20 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ nke na-abakwuru nwunye nna ya soro ya
dinaa, n’ihi na o merụọla ihe ndina nna ya.”

Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”

21 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ nke ya na anụmanụ ọbụla na-edina.”

Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”

22 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ, nke ya na nwanne ya nwanyị na-akwa iko,
bụ nwanne ya nke nne ya mụrụ, maọbụ nke nwunye nna ya mụrụ.”

Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”

23 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ, nke ya na nne nwunye ya na-edina.”
Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”
24 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ, nke na-etigbu mmadụ ibe ya na nzuzo.”
Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”
25 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ, nke na-anara ngarị maka itigbu onye na-emeghị ihe ọjọọ ọbụla.”
Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”
26 “Onye a bụrụ ọnụ ka onye ahụ bụ, nke na-adịghị eme ka iwu ndị a guzosie ike site na-edebeghị ha.”
Ụmụ Izrel niile ga-aza, “Amen.”

# 28

*Nrube isi na ngọzị*

1 Ọ bụrụ na i debezuo ma gbasookwa iwu ndị a niile ONYENWE ANYỊ Chineke gị sitere
n’aka m na-enye gị taa, ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-eme ka ị ghọọ mba kachasị mba
niile n’ụwa elu. 2 Ngọzị ndị a niile ga-abịakwasị gị, zuo gị ahụ, ma ọ bụrụ na i rubere
ONYENWE ANYỊ Chineke gị isi.

3 Onye a gọziri agọzi ka ị ga-abụ n’obodo, bụrụkwa onye a gọziri agọzi n’ala ubi.
4 Ihe a gọziri agọzi ka mkpụrụ nke afọ gị ga-abụ na mkpụrụ nke ala ubi gị na mkpụrụ nke anụ ụlọ gị, ụmụ ehi gị mụrụ na ụmụ igwe ewu na atụrụ gị.
5 Ihe a gọziri agọzi ka abọ gị na ihe i ji agwọ achịcha ga-abụ.
6 Onye a gọziri agọzi ka ị ga-abụ mgbe ị na-abata na mgbe ị na-apụ apụ.

7 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ndị iro ọbụla buliri onwe ha elu imegide gị bụrụ ndị e meriri n’ihu anya gị. Ha ga-esite n’otu ụzọ buso gị agha, ma ha ga-esite n’ụzọ asaa si n’ihu gị gbalaga.
8 ONYENWE ANYỊ ga-ezipụ ngọzị ya ka ọ dịkwasị n’elu ọba gị na n’elu ihe ọbụla i tinyere aka gị. ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-agọzi gị n’ala ahụ ọ na-enye gị.
9 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka i guzosie ike dịka ndị nsọ ya, dịka o sitere n’ịṅụ iyi
kwee nkwa ime ma ọ bụrụ na i debe iwu ONYENWE ANYỊ Chineke gị, ma jee ije n’ụzọ
ya niile. 10 Mgbe ahụ, ndị niile nọ n’ụwa ga-ahụta na ọ bụ aha ONYENWE ANYỊ ka a
kpọkwasịrị gị. Ha ga-atụkwa gị egwu. 11 *ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ị babiga ụba oke
na mkpụrụ nke afọ gị, na mkpụrụ nke anụ ụlọ gị, na mkpụrụ nke ihe ubi gị, n’ala ahụ ọ ṅụrụ n’iyi nye nna nna gị na ọ ga-enye gị.
12 ONYENWE ANYỊ ga-emeghepụ eluigwe ebe ụlọakụ ya dị, zidata mmiri n’ala gị n’oge ya, ma gọzie akaọrụ gị niile. Ị ga-agbazinye ọtụtụ mba ihe, ma gị onwe gị agaghị esite
n’aka onye ọbụla gbaziri ihe ọbụla. 13 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ị bụrụ isi, ọ bụghị ọdụdụ. Ọ bụrụ na ị ṅaa ntị n’iwu ndị a ONYENWE ANYỊ Chineke gị na-enye gị taa, lezie
anya ịgbaso ha, ị ga-anọgide n’elu, ị gaghị anọ n’okpuru. 14 Ewezugala onwe gị site n’iwu niile ndị a m na-enye gị taa, maọbụ gaa n’aka nri maọbụ n’aka ekpe, ịgbaso chi ndị ọzọ na ife ha ofufe.

*Nnupu isi na ọbụbụ ọnụ*

15 Ma otu ọ dị, ọ bụrụ na ị jụ irubere ONYENWE ANYỊ Chineke gị isi, jụkwa ilezi anya, gbasoo iwu ya na ụkpụrụ ya niile, nke m na-enye gị taa, ọbụbụ ọnụ ndị a ga-adakwasị gị.

16 Ị ga-abụ onye a bụrụ ọnụ n’obodo, bụrụ onye a bụrụ ọnụ n’ala ubi,
17 Abọ gị na ihe ịgwọ achịcha gị ga-abụ ihe a bụrụ ọnụ.

* **28:11** 28:11 Dit 30:9

18 Ihe a bụrụ ọnụ ka mkpụrụ nke afọ gị ga-abụ, ihe a bụrụ ọnụ ka mkpụrụ nke
ala gị ga-abụ, ya na ụmụ nke igwe anụ ụlọ gị, na ụmụ ehi gị na nke igwe ewu na
atụrụ gị mụrụ.
19 Onye a bụrụ ọnụ ka ị ga-abụ mgbe ị na-abata abata na mgbe ị na-apụ apụ.
20 ONYENWE ANYỊ ga-ezidata n’isi gị ọbụbụ ọnụ, na ọgbaaghara, tinyere nkọcha
n’ihe niile nke i tinyere aka gị, tutu ruo mgbe ị ghọrọ onye e bibiri ebibi bụrụ onye
lara n’iyi na mberede, n’ihi ihe ọjọọ niile i mere site n’ịhapụ m. 21 ONYENWE ANYỊ
ga-ezite ajọ ọrịa n’etiti gị tutu ruo mgbe a ga-ekpochapụ gị site n’ala ahụ ị gaje ịba
n’ime ya inweta. 22 ONYENWE ANYỊ ga-eti unu ọrịa na-eripịa eripịa, ahụ ọkụ na ọrịa
na-aza anụ ahụ, oke okpomọkụ na mma agha, ụkọ mmiri ozuzo na ọrịa na-eripịa ihe
ubi, na ọmụma ebu ga-abịakwasị gị tutu ruo mgbe i lara n’iyi. 23 Mbara eluigwe nke
ị na-ahụ anya ga-aghọ bronz, ala ị na-azọkwasị ụkwụ gị ga-aghọ igwe. 24 ONYENWE
ANYỊ ga-eme ka mmiri kwesiri izo n’ala gị ghọọ uzuzu na aja. Ha ga-esi na mbara
eluigwe na-ezodata n’ala tutu ruo mgbe ị lara n’iyi.
25 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ndị iro gị merie gị n’agha. Ị ga-esi otu ụzọ pụta ibuso
ha agha, ma ị ga-esi ụzọ asaa gbalaga. Ị ga-aghọrọ ndị ụwa ihe a na-asọ oyi mgbe ha
hụrụ ihe dakwasịrị gị. 26 Ozu unu ga-aghọrọ ụmụ anụ ufe niile na anụ ọhịa niile ihe
oriri. O nwekwaghị onye ga-anọ menye ha egwu chụpụ ha. 27 ONYENWE ANYỊ ga-ezite
etuto ndị Ijipt ka ha bịakwasị gị, ya na ọnya, na agba, na ọkọ. Ọ dịkwaghị ihe a
ga-eji gwọọ ha. 28 ONYENWE ANYỊ ga-ezitere gị isi mgbaka, na ikpu ìsì, na ọgbaaghara
nke obi. 29 Ị ga-asọgharị isi n’etiti ehihie dịka onye kpuru ìsì n’asọgharị n’ọchịchịrị.
Ọ dịghị ihe ọbụla ga-agara gị nke ọma. Site n’ụbọchị ruo n’ụbọchị, ị ga-abụ onye
a na-emegbu emegbu, na onye a na-anapụ ihe ya n’ike oge niile, na-enweghị onye
ga-anapụta gị.
30 Gị na nwanyị ga-enwe nkwekọrịta ịlụ di na nwunye, ma nwoke ọzọ ga-eduru ya
dinaa ya n’ike. Ị ga-ewu ụlọ ma ị gaghị ebi n’ime ya. Ị ga-akụ ubi vaịnị ma ị gaghị
eri mkpụrụ si na ya. 31 N’ihu anya gị ka a ga-egbu ehi gị, ma ị gaghị ata iberibe anụ
ya. A ga-anapụ gị ịnyịnya ibu gị n’ihu anya gị ma a gaghị eweghachiri gị ya. Atụrụ
gị ka a ga-enye ndị iro gị. Ọ dịkwaghị onye ga-anapụta ha. 32 A ga-ewere ụmụ gị
ndị ikom na ndị inyom nye ndị mba ọzọ. Ọ ga-agụ gị agụụ ogologo oge ka ị hụ ha
anya, ma ị pụghị inyere ha aka. 33 Mba nke ị na-amaghị ga-eri mkpụrụ ubi ị tara
ahụhụ kụọ n’ala gị. Ị ga-abụ naanị onye a na-emegbu emegbu na onye a na-akpagbu
ụbọchị ndụ gị niile. 34 Ihe ndị a niile ị ga-eji anya gị hụ ga-eme ka i nwe isi mgbaka.
35 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka etuto nke na-egbu oke mgbu a na-apụghị ịgwọta agwọta
too gị n’ikpere na ogwe ụkwụ gị abụọ, ọ ga-agbasa site n’ọbọ ụkwụ gị abụọ ruo n’opi
isi gị.
36 ONYENWE ANYỊ ga-achụpụ gị na eze ahụ ị họpụtara nye onwe gị, chụpụ gị nye
mba ọzọ, ebe gị na nna nna gị ha, na-amaghị. N’ebe ahụ, ị ga-efe chi ndị ọzọ nke e ji
osisi na nkume kpụọ. 37 Ị ga-abụ ihe iju anya, na ihe e ji atụ ilu, na ihe akụkọ, n’etiti
mba ahụ niile ONYENWE ANYỊ ga-achụga gị.
38 Ị ga-akụ ọtụtụ mkpụrụ n’ubi ma ị ga-aghọta ntakịrị mkpụrụ, n’ihi na igurube
ga-ericha ihe ị kụrụ n’ubi. 39 Ị ga-akọ ubi vaịnị lekọtakwa ya anya, ma ị gaghị aracha
mkpụrụ ya maọbụ ṅụọ mmanya si na ya, n’ihi na ikpuru ga-eri ha. 40 Osisi oliv ga
na-eto ebe niile, ma mmanụ oliv agaghị adị nke ị ga-ete n’ahụ n’ihi na mkpụrụ oliv
ga-adasịsị na-akaghị aka oge ha mara ifuru. 41 Ị ga-amụta ụmụ ndị ikom na ndị inyom
ma ha agaghị adịgide n’ihi na a ga-adọta ha n’agha. 42 Igwe igurube ga-erichasị osisi
niile dị n’ubi gị, ya na ihe ị kụrụ n’ubi gị.
43 Onye ọbịa bi n’etiti gị ga-aba ụba karịa gị. Ihe ga na-agara ya nke ọma, ma ihe
ga na-ajọrọ gị njọ. 44 Ọ ga-ebinye gị ihe, ọ bụkwaghị gị ga-ebinye ya! Ọ ga-abụ isi ma
ị ga-abụ ọdụdụ.

45 Ọbụbụ ọnụ ndị a niile ga-abịakwasị gị. Ha ga-achụso gị ọsọ, chụkwute gị tutu
ruo mgbe a lara gị n’iyi, naanị n’ihi na ị jụrụ irubere Onyenwe anyị Chineke gị isi,
na idebe iwu na ụkpụrụ ndị a o nyere gị. 46 Ha ga-abụ ihe ịrịbama na ihe ebube nye
gị, na mkpụrụ gị niile, ruo mgbe ebighị ebi. 47 N’ihi na ị jụrụ iji ọṅụ na obi ụtọ fee
Onyenwe anyị Chineke gị n’oge ihe na-agara gị nke ọma. 48 Ya mere, n’ọnọdụ agụụ
na akpịrị ịkpọ nkụ, n’ọnọdụ ịgba ọtọ na ụkọ ka ị ga-efe ndị iro ahụ Onyenwe anyị
na-ezite imegide gị. Ọ ga-anyakwasị yoku igwe n’olu gị ruo mgbe ọ lara gị n’iyi.
49 Onyenwe anyị ga-eme ka mba si n’ebe dị anya na nsọtụ ụwa, bịakwasị gị,
imegide gị. Mba a ga-adị gara gara dịka ugo, ọ ga-abụkwa mba ị na-amaghị asụsụ
ha, 50 Mba na-enweghị ihu ọchị nke na-adịghị asọpụrụ okenye maọbụ were ihuọma
leta ụmụntakịrị. 51 Ha ga-erichapụ mkpụrụ nke anụ ụlọ gị niile na mkpụrụ nke ihe
ubi gị niile tutu ruo mgbe ị ghọrọ ihe e bibiri ebibi. O nwekwaghị ihe ga-afọdụrụ
gị, maọbụ ọka, maọbụ mmanya ọhụrụ maọbụ mmanụ oliv, maọbụ ụmụ ehi maọbụ
ewu na atụrụ gị mụrụ, ruo mgbe e mere ka ị laa n’iyi. 52 Mba ahụ ga-anọchigide
obodo ndị ahụ niile dị n’ala gị tutu ruo mgbe mgbidi ndị ahụ niile e wusiri ike, nke ị
na-atụkwasị obi dara. Ọ ga-anọchigide ndị ahụ niile dị n’ala ahụ niile Onyenwe anyị
Chineke gị na-enye gị.
53 Ị ga-erikwa anụ ahụ ụmụ gị ndị ikom na ndị inyom ndị Onyenwe anyị Chineke
gị nyere gị n’ihi oke nnọchigide nke ndị agha nọchigidere gị na n’ihi oke mkpagbu
nke ndị iro. 54 Ọ bụladị nwoke ahụ dịkasịrịrị nwayọọ na-enwekwa mmetụta mmadụ
n’etiti unu ga-aghọ onye afọ tara mmiri nke ukwuu megide nwanne ya nwoke, maọbụ
nwunye nke ọ hụrụ n’anya, maọbụ ụmụ ya, ndị ka dị ndụ. 55 Ọ gaghị enye onye ọbụla
n’ime ha ụfọdụ n’ime anụ ahụ ụmụ ndị ọ na-eri, n’ihi na ọ bụ naanị ya bụ ihe oriri
fọdụrụ ya, n’ihi ahụhụ nke nnọchi ndị iro nọchiri ọnụ ụzọ obodo gị niile butere.
56 Nwanyị nke dịkarịsịrị nwayọọ na-enwekwa mmetụta mmadụ n’etiti unu, nke dị
oke nwayọọ, nke ihe na-emetụta na ọ dịghị amasị ya ịzọgịdesị ọbụ ụkwụ ya ike n’ala,
ga-ajụ ikenye di ya ọ hụrụ n’anya, nwa ya nwoke maọbụ nwa ya nwanyị, 57 ọ bụladị
akpanwa si n’etiti ụkwụ ya pụta na ụmụ ọhụrụ ọ mụrụ. N’ọnọdụ ọjọọ n’oke ụkọ
ya, ọ chọrọ iri ha na nzuzo, n’ihi ahụhụ nke ndị iro gị mere ka ọ bịakwasị gị n’oge
nnọchigide nke obodo gị niile.
58 Ọ bụrụ na i lezighị anya gbasoo okwu iwu niile e dere n’ime akwụkwọ a, ọ
bụrụ na ị sọpụrụghị aha a dị ebube na nke dị egwu, bụ Onyenwe anyị Chineke gị,
59 Onyenwe anyị ga-ezitere gị na ụmụ ụmụ gị ihe otiti dị oke egwu, oke mbibi nke
ga-adị ogologo oge, na ọrịa dị oke njọ nke na-adịghị ala ala. 60 Ọ ga-ezitere gị ọrịa
ndị ahụ niile dị n’Ijipt, nke ị na-atụ ụjọ ha, ha ga-arapara gị n’ahụ. 61 Ọ bụghị naanị
nke a! Onyenwe anyị ga-eme ka ụdị ọrịa ọbụla, na ụdị ihe otiti ọbụla, ọ bụladị
ndị na-adịghị n’ime Akwụkwọ Iwu a, bịakwasị gị, tutu ruo mgbe a ga-ekpochapụ gị.
62 Ọ bụ ezie na ị dị ukwuu n’ọnụọgụgụ dịka kpakpando nke eluigwe, maọbụ naanị
mmadụ ole na ole n’ime gị ga-afọdụ. Ihe ndị a niile ga-emezu n’ihi na i geghị ntị
n’olu Onyenwe anyị bụ Chineke gị. 63 Dịka mmụba ị mụbara n’ọnụọgụgụ, na ịdị
ukwuu nke akụnụba gị si bụrụ ihe nyere Onyenwe anyị obi ụtọ, otu a ka ọ ga-esi
tọkwaa ya ụtọ ibibi gị, na ime ka ị daa ụkpa. Ọ ga-esi n’ala ahụ ị na-aga inweta hopu
gị.
64 N’ihi na Onyenwe anyị ga-eme ka ị gbasasịa n’etiti mba niile, site n’otu nsọtụ
ụwa ruo na nsọtụ nke ọzọ. N’ebe ahụ, ị ga-efekwa chi ndị ọzọ, nke gị, maọbụ nna
nna gị ha, na-amaghị, chi e ji osisi na nkume kpụọ. 65 N’etiti mba ndị a, obi agaghị
eru gị ala, ọbụ ụkwụ gị agaghị enwe ebe izuike. N’ebe ahụ, Onyenwe anyị ga-enye
gị mkpụrụobi na-ama jijiji, anya nke ike gwụrụ n’ihi enweghị olileanya, na obi na-
ada mba. 66 Ndụ gị ga-ekonye n’elu n’ihi oke egwu. Ị ga-anọ n’egwu, ehihie na
abalị, ị gaghị ejikwa ndụ gị n’aka. 67 N’ụtụtụ, ị ga-asị, “Ewoo, a sịkwa na ugbu a bụ

uhuruchi!" N'uhuruchi ị ga-asịkwa, "Ewoo, a sịkwarị na ugbu a bụ ụtụtụ!" Ị ga-
ekwu ihe ndị a n'ihi ihe egwu juru gị obi, na n'ihi ihe ndị ahụ niile anya gị na-ahụ.
68 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka i soro ụgbọ mmiri lọghachi n'Ijipt, n'ije ahụ m kwuru na
ị gaghị ejekwa ọzọ. N'ebe ahụ ị ga-ewere onwe gị resi ndị iro gị dịka ohu ndị ikom
maọbụ ndị inyom, ma ọ dịghị onye ga-achọ ịzụ gị.

# 29

*Imesi ọgbụgba ndụ ike*

1 Ndị a bụ okwu nke ọgbụgba ndụ ahụ ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu ka ya na
ụmụ Izrel gbaa n'ala Moab na-agbanweghị ọgbụgba ndụ ahụ ya na ha gbara n'ugwu
Horeb.
2 Mosis kpọkọtara ụmụ Izrel niile gwa ha okwu sị,

Unu ji anya unu hụ ihe ONYENWE ANYỊ mere n'Ijipt megide Fero, na ndị ozi ya, na
ala ya niile. 3 Anya unu hụrụ oke nwale niile, na ihe ịrịbama ndị ahụ, na ọrụ ebube
niile ahụ. 4 Ma tutu ruo taa, ONYENWE ANYỊ enyebeghị unu obi nwere nghọta, na
anya na-ahụ ụzọ, maọbụ ntị na-anụ ihe, nke ga-enyere unu aka ịṅomi ihe ndị a niile.
5 Ma ONYENWE ANYỊ na-asị, "N'ime iri afọ anọ ndị ahụ nke m duuru unu n'ime ọzara,
uwe unu emeghị ochie, akpụkpọụkwụ unu akapụghị n'ụkwụ unu. 6 Ọ dịghị achịcha
unu riri, ọ dịkwaghị mmanya maọbụ ihe ọṅụṅụ na-aba n'anya unu ṅụrụ. E mere m
ihe ndị a ime ka unu mata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu."
7 Mgbe unu rutere ebe a, Saịhọn, eze ndị Heshbọn, na Ọg, eze ndị Bashan, pụtara
ibuso anyị agha, ma anyị lụgburu ha. 8 Anyị weere ala ha nye agbụrụ Ruben, na Gad,
na otu ọkara ebo Manase, dịka ihe nketa ha.
9 N'ihi ya, lezie anya idebe ụkpụrụ niile nke ọgbụgba ndụ a, ka ihe niile unu
na-eme gaara unu nke ọma. 10 Unu niile, ndị ndu unu, na ndịisi unu, na okenye,
na ndịisi ọchịchị, na ndị ikom niile nke Izrel, unu ndị guzo n'ihu ONYENWE ANYỊ
Chineke taa, 11 na ụmụntakịrị unu, na ndị nwunye unu, na ndị ọbịa bi n'etiti unu,
ndị na-egburu unu nkụ, na ndị na-echukwara unu mmiri.* 12 Unu guzo n'ebe a taa
ka unu na ONYENWE ANYỊ Chineke gbaa ndụ. Unu guzokwa, maka ọgbụgba ndụ a
unu na ONYENWE ANYỊ na-agba taa, nke e ji iṅụ iyi mesie ike, 13 ime ka ọ pụta ìhè
nye unu taa na unu bụ ndị nke ya, imekwa ka unu mata na ọ bụ Chineke unu, dịka
o kwere nna nna unu ha, Ebraham, na Aịzik, na Jekọb na nkwa. 14 Ọgbụgba ndụ a
nke ya na iṅụ iyi so nke m na-eme ka ọ dịrị abụghị naanị n'ihi unu, 15 ndị soro anyị
guzo n'ebe a taa, n'ihu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, kama ọ bụkwa n'ihi ndị ahụ
na-anọghị n'ebe a.
16 Unu onwe unu maara otu anyị si bie n'ala Ijipt, na otu anyị si gafee mba ndị
ahụ niile anyị gafere n'ụzọ. 17 Unu hụrụ n'etiti ha ihe arụ ha niile, na arụsị niile e ji
osisi, na nkume na ọlaọcha, na ọlaedo kpụọ. 18 Lezienụ anya ka unu hụ na obi onye
ọbụla n'ime unu, nwoke maọbụ nwanyị, agbụrụ maọbụ ebo ọbụla n'Izrel, esighị
n'ebe ONYENWE ANYỊ bụ Chineke anyị nọ pụọ, bido chewe echiche ife chi ndị mba
ọzọ ndị a niile. Lezienụ anya hụ na mgbọrọgwụ na-ewepụta nsi na-elu ilu dị otu a
adịghị n'etiti unu.
19 Mgbe onye dị otu a nụrụ okwu iṅụ iyi a, na ha ga-agọzi onwe ha, na-eche, "Ihe
ga-agara m nke ọma, ọ bụ ezie na m nọgidere na-agbaso ụzọ isiike m." Ha ga-eweta
mbibi nye ala a gbara mmiri nke ọma nyekwa ala ahụ kpọrọ nkụ. 20 N'ihi na ONYENWE
ANYỊ agaghị agbaghara onye dị otu a! Iwe ya, na ekworo ya, ga-adị ọkụ megide nwoke
ahụ. Ọbụbụ ọnụ niile e dere n'ime akwụkwọ a ga-abịakwasịkwa ya. ONYENWE ANYỊ

* **29:11** 29:11 Nke a bụ ọrụ nleda anya nke ndị bụ ohu na-arụ. Jos 9:21,23,27

ga-ehichapụkwa aha ya, ka a ghara ịnụkwa ihe banyere ya n’ụwa. 21 ONYENWE ANYỊ
ga-akpa oke n’etiti ya na ebo niile nke Izrel, maka iwetara ya mbibi, dị ka ọbụbụ ọnụ
niile nke ọgbụgba ndụ nke e dere n’ime Akwụkwọ Iwu a si dị.
22 Mgbe ahụ, ụmụ unu ndị ga-eso unu n’ọgbọ ndị dị n’ihu, na ndị ọbịa si ebe dị
anya bịa, ga-ahụ oke ihe otiti ọjọọ a bịakwasịrị ala a, ya na ọrịa niile ONYENWE ANYỊ
mere ka ọ bịakwasị ya. 23 Ala ahụ niile ga-abụ ala nnu, nke ọkụ repịara, ala nke a
na-adịghị akụ ihe ọbụla n’ime ya, ala na-adịghị amị mkpụrụ, nke ahịhịa na-adịghị
epu n’elu ya. Ala dịka ala Sọdọm na Gọmọra, na Adma, na Zeboiim, nke ONYENWE
ANYỊ sitere n’oke iwe ya mebie. 24 Mba niile ga-ajụ sị, “Gịnị mere ONYENWE ANYỊ ji
mee ihe dị otu a n’ala a? Gịnị kpatara oke iwe ọkụ a?”
25 Ọsịsa ya ga-abụ, “Ọ bụ n’ihi na ndị a hapụrụ idebe ọgbụgba ndụ ha na ONYENWE
ANYỊ, Chineke nke nna nna ha gbara, ọgbụgba ndụ ha na ya gbara mgbe o mere ka
ha site n’Ijipt pụta. 26 N’ihi na ha fere chi ndị ọzọ ofufe, kpọọkwa isiala nye ha, bụ
chi ndị nke ha na-amaghị, chi ndị nke ọ na-enyeghị ha. 27 Ọ bụ ya mere iwe ONYENWE
ANYỊ ji dị ọkụ megide ala a, meekwa ka o zidata n’isi ha ọbụbụ ọnụ niile e dere n’ime
akwụkwọ a. 28 N’oke iwe ya na ọnụma ya ka ONYENWE ANYỊ ji hopu ha site n’ala ha,
werekwa ha tụba n’ala ọzọ, dịka ọ dị ugbu a.”
29 Ihe niile e zoro ezo dịrị ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, ma ihe ndị ahụ niile e
kpughere ekpughe diịrị anyị, dịkwara ụmụ anyị ruo mgbe ebighị ebi, ka anyị nwee
ike ịgbaso na imezu okwu niile nke iwu a.

# 30

## *Ịbịaghachikwute ONYENWE ANYỊ na ngọzị ya*

1 Mgbe ihe ndị a niile ga-emezu n’ebe unu nọ, ya bụ, ngọzị niile na ọbụbụ ọnụ niile
m gụpụtara n’ihu unu, ọ bụrụ na unu ga na-atụgharị uche na ha n’etiti mba ndị ahụ
ONYENWE ANYỊ Chineke unu ga-achụba unu, 2 ọ bụrụkwa na unu ekpebie n’obi unu
n’oge ahụ ịlọghachikwute ONYENWE ANYỊ Chineke unu, ọ bụrụ na unu, na ụmụ unu
ga-eji obi unu niile na mmụọ unu niile mezuo iwu ndị a niile m nyere unu taa. 3 Mgbe
ahụ, ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu ga-anapụta unu. Ọ ga-enwe obi ebere n’ebe unu
nọ kpọkọtakwa unu site na mba niile ebe ọ chụsasịrị unu. 4 A sịkwarị na ọ bụ n’ala
dị na nsọtụ ụwa n’okpuru eluigwe ka a chụgara unu, n’ebe ahụ ONYENWE ANYỊ bụ
Chineke gị ga-achịkọta unu, kpọghachitekwa unu. 5 ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu
ga-akpọlata unu n’ala ahụ bụ nke nna nna unu ha. Unu ga-enwetakwa ya, ọ ga-eme
ka ihe gara unu nke ọma, meekwa ka unu baa ụba karịa nna nna unu ha. 6 ONYENWE
ANYỊ bụ Chineke unu ga-ebi obi unu, na obi ụmụ unu, na nke ụmụ ụmụ unu ugwu, ka
unu were obi unu niile na mmụọ unu niile, hụ ya n’anya, ma dịkwa ndụ. 7 ONYENWE
ANYỊ bụ Chineke unu ga-eme ka ọbụbụ ọnụ ndị a bịakwasị ndị iro unu, ndị kpọrọ unu
asị na ndị na-akpagbu unu. 8 Unu ga-emesịakwa rubere ONYENWE ANYỊ isi, gbasookwa
iwu ya niile nke m na-enye unu taa. 9 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu ga-
eme ka unu babiga ụba oke n’ọrụ niile nke aka unu, n’ime mkpụrụ nke afọ, n’ime
mkpụrụ nke anụ ụlọ gị, na mkpụrụ nke ala ubi gị. Obi ga-atọkwa ONYENWE ANYỊ ụtọ
ọzọ, ime gị ka ị baa ụba dịka ọ tọrọ ya n’ebe nna unu ha nọ. 10 Ma ọ bụrụ na unu
erubere ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu isi, debekwa iwu ya na ụkpụrụ ya niile nke
e dere n’Akwụkwọ iwu a, jirikwa obi unu niile na mmụọ unu niile bịaghachikwute
ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu.

## *Ndụ maọbụ ọnwụ*

11 Idebe iwu ndị a m na-enye unu taa abụghị ọrụ sịrị ike, ọ bụkwaghị ihe karịrị unu
ike ime. 12 N’ihi na iwu ndị a adịghị n’eluigwe nke ị ga-eji sị, “Onye ga-arịgo n’eluigwe
wedatara m ya ka m nụ ihe ọ na-ekwu, ma debekwa ya.” 13 Iwu a adịghịkwa n’ofe

ọzọ nke oke osimiri, nke ị ga-eji sị, “Onye ga-agafe ga weta ya, kpọsaa ya nye anyị
ka anyị nụ, ma debekwa ihe ọ na-ekwu?” [14] Mba, okwu ahụ dị gị nso, ọ dị gị n’ọnụ,
dịrịkwa n’obi gị, ka i nwee ike idebe ha.
[15] Lee, edoola m n’ihu gị taa ndụ na ọganihu, ọnwụ na ịla n’iyi. [16] Enyela m gị iwu
taa, sị gị hụ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị n’anya, ana m asịkwa gị gbasoo ụzọ ya, ma
debekwa iwu na ụkpụrụ ya niile, ka ị dịrị ndụ, ghọọkwa mba buru ibu, ka ONYENWE
ANYỊ bụ Chineke gị gọzie gị n’ala ahụ ị na-aga inweta.
[17] Ma ọ bụrụ na obi gị e si n’iso ya tụgharịa, ọ bụrụkwa na ị jụ ige ntị, ọ bụrụ na
a dọkpụfuo gị mee ka i fee chi ndị ọzọ ofufe ma ịkpọ isiala nye ha, [18] agwala m gị
hoohaa taa, na ị ga-ala n’iyi, ị gaghị enwe ogologo ndụ n’ala ahụ ị na-agafe osimiri
Jọdan inweta.
[19] Ana m akpọku eluigwe na ụwa* taa ka ha bụrụ ndị akaebe m, na edebela m
n’ihu gị ọnwụ na ndụ, debekwa n’ihu gị ngọzị na ọbụbụ ọnụ. Ugbu a, họrọ ndụ, ka
gị na ụmụ gị dị ndụ [20] ka ị hụ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị n’anya, ṅaa ntị n’olu ya,
daberekwa na ya. N’ihi na ONYENWE ANYỊ bụ ndụ gị, ọ ga-enye gị ụbọchị ndụ gị niile
n’ala ahụ o kwere nkwa ị nye nna nna gị ha Ebraham, na Aịzik, na Jekọb.

# 31

*Joshua anọchie anya Mosis*

[1] Mgbe Mosis gwachara ụmụ Izrel okwu ndị a niile, [2] ọ gwakwara ha okwu ọzọ sị,
“Ugbu a, agbaala m otu narị afọ na iri afọ abụọ! Enwekwaghị m ike idu unu, n’ihi
na ONYENWE ANYỊ agwala m sị, Ị gaghị agafe osimiri Jọdan. [3] ONYENWE ANYỊ Chineke
gị n’onwe ya ga-ebu gị ụzọ gabiga osimiri a. Ọ ga-ebibi mba niile ndị a n’ihu gị. Ị
ga-enwetakwa ala ha. Joshua ga-edu gị gabiga osimiri a, dịka ONYENWE ANYỊ kwuru.
[4] ONYENWE ANYỊ ga-emekwa ha ihe o mere Saịhọn na Ọg, bụ eze ndị Amọrait, ndị o
kpochapụrụ ha na ala ha. [5] ONYENWE ANYỊ ga-enyefe ndị bi n’ebe ahụ n’aka unu, unu
ga-ekpochapụkwa ha dịka m nyere unu n’iwu. [6] Dịnụ ike! Nweenụ obi ike! Unu atụla
ha egwu! N’ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke unu ga-anọnyere unu. Ọ gaghị agbakụta
unu azụ, ọ gakwaghị ahapụ unu.”
[7] Mgbe ahụ, Mosis kpọrọ Joshua, gwa ya okwu n’ihu ụmụ Izrel, sị ya, “Dị ike! Nwee
obi ike! N’ihi na ọ bụ gị ga-edu ndị a baa n’ala ahụ ONYENWE ANYỊ ṅụrụ iyi inye nna
nna ha, ị ga-emekwa ka ha keta ala a dịka ihe nketa ha. [8] ONYENWE ANYỊ n’onwe ya
ga-eburu gị ụzọ, ọ ga-anọnyekwara gị, ọ gaghị ahapụ gị maọbụ gbakụta gị azụ. Atụla
egwu, adala mba.”

*Ngụpụta akwụkwọ iwu*

[9] Mgbe ahụ, Mosis depụtara iwu ndị ahụ niile n’akwụkwọ, were ya nye ndị
nchụaja, ụmụ Livayị, ndị na-ebu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ ahụ. Mosis
nyekwara ndị okenye Izrel akwụkwọ a e dere iwu niile. [10] Mgbe ahụ, Mosis nyere ha
iwu sị, “Na ngwụcha afọ asaa ọbụla, n’afọ ahụ a na-akagbu ụgwọ niile, n’oge a na-
eme Mmemme ụlọ Ikwu, [11] mgbe Izrel niile ga-abịa n’ihu ONYENWE ANYỊ bụ Chineke
unu, n’ebe ahụ ọ ga-ahọpụta, ị ga-agụpụta ihe a site n’akwụkwọ iwu a n’ihu mmadụ
niile ka ha nụrụ ya. [12] Kpọkọta mmadụ niile n’otu ebe, ndị ikom, na ndị inyom
na ụmụntakịrị,* na ndị ọbịa bi n’etiti obodo unu, ka ha nụrụ, ma mụta ịtụ egwu
ONYENWE ANYỊ Chineke unu na ilezi anya ịgbaso okwu niile dị n’iwu a. [13] Ụmụntakịrị
ha, ndị na-amabeghị iwu ndị a, aghaghị ịnụ na ịmụta ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ Chineke
unu, ụbọchị ndụ unu niile n’ala ahụ unu na-agafe Jọdan inweta.”

* **30:19** 30:19 Dit 4:26; 8:19 * **31:12** 31:12 Ọ bụ naanị na mmemme nke a, ka a na-akpọkọta ndị inyom na ụmụntakịrị, ka ha bịa nụrụ ihe a na-agụpụta site n’akwụkwọ iwu ahụ.

### *Okwu ikpeazụ Onyenwe anyị gwara Mosis*

14 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị, “Lee, ụbọchị ọnwụ gị na-abịaru nso. Kpọrọ Joshua
ka gị na ya soro bịa n’ụlọ nzute ebe m ga-anọ nye ya ọrụ ọ ga-arụ.” Mosis na Joshua
sooro bịa guzo onwe ha n’ọnụ ụzọ ụlọ nzute.
15 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gosiri ha onwe ya n’ime ogidi igwe ojii nke guzochiri
ọnụ ụzọ ụlọ nzute ahụ. 16 ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, “Ị ga-anwụ, jekwuru
nna nna gị ha. Mgbe ị nwụrụ, ndị a ga-amalite ife chi ọzọ ofufe ndị dị n’ala ahụ ha
na-abanye. Ha ga-agbakụta m azụ, mebie ọgbụgba ndụ mụ na ha gbara. 17 N’ụbọchị
ahụ, iwe m ga-adị ọkụ megide ha, aga m agbakụta ha azụ, zoo ihu m n’ebe ha nọ.
A ga-alakwa ha n’iyi. Ọdachi na ahụhụ dị iche iche ga-abịakwasị ha, nke ga-eme ka
ha sị, ‘Chineke anyị anọkwaghị n’etiti anyị, ọ bụ ya mere ọdachi ndị a ji bịakwasị
anyị.’ 18 Aga m echepụ ihu m site n’ebe ha nọ n’ụbọchị ahụ, n’ihi ajọ omume ha nke
ife chi ọzọ ofufe.
19 “Ugbu a, depụtaranụ onwe unu abụ a n’akwụkwọ, kuziekwara ya ụmụ Izrel, ka
ọ bụrụ ihe akaebe m megide ha. 20 Mgbe m mere ka ha bata n’ala ahụ m kwere nna
nna ha na nkwa, ala ahụ mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-erugharị n’ime ya, mgbe
ha rijukwara afọ, baakwa ụba, ha ga-ebido ife chi ọzọ ofufe, jụ m, ma mebikwaa
ọgbụgba ndụ m. 21 Ma mgbe ọtụtụ ihe ọdachi na ahụhụ ga-abịakwasị ha, abụ a ga-
eme ka ha cheta ihe mere nsogbu ha niile ji bịakwasị ha, n’ihi na abụ a ga-adịgide
site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ. Amaara m nke ọma ugbu a, ọ bụladị tupu ha abanye n’ala
ahụ m kwere nkwa inye ha site n’ịṅụ iyi, ụdị mmadụ ha bụ.” 22 Ya mere, n’ụbọchị
ahụ, Mosis dere abụ ahụ, kuziekwara ya ụmụ Izrel.
23 Mgbe ahụ ONYENWE ANYỊ nyere Joshua nwa Nun iwu sị ya, “Dị ike, nwee obi ike,
ị ghaghị ịkpọbata ụmụ Izrel n’ala ahụ m sitere n’ịṅụ iyi kwee ha na nkwa. Mụ onwe
m ga-anọnyere gị.”
24 Mgbe Mosis dechara okwu niile nke iwu ndị a n’akwụkwọ, site na mbido ruo
n’ọgwụgwụ, 25 o nyere ndị Livayị na-ebu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ iwu sị
ha, 26 “Werenụ Akwụkwọ Iwu a tinye ya n’akụkụ igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ
Chineke unu, ka ọ bụrụ ihe ịgba ama megide unu. 27 N’ihi na amaara m na unu bụ ndị
nnupu isi, na ndị isiike. Lee, ọ bụladị taa m nọ ndụ n’etiti unu, unu na-enupu isi n’ebe
ONYENWE ANYỊ nọ, unu ga-esi aṅaa ghara inupu isi mgbe m nwụrụ? 28 Kpọkọtaanụ
ndị okenye unu niile, na ndị ọchịchị agbụrụ unu niile, ka m kwupụta okwu ndị a
mgbe ha na-anụ ya. Ka m kpọkuokwa eluigwe na ụwa ka ha gbaa ama megide ha.
29 N’ihi na amaara m na mgbe m nwụrụ, unu ga-aghọ ndị rụrụ arụ nke ukwuu, unu
ga-ewezuga onwe unu site n’ebe iwu ndị ahụ m nyere unu dị. Amakwaara m na
n’ụbọchị ndị ahụ na-abịa, ihe ọjọọ ga-adakwasị unu, n’ihi ihe ọjọọ niile unu mere
n’ihu ONYENWE ANYỊ nke unu ji kpasuo ya iwe site n’ihe ndị ahụ unu ji aka unu kpụọ.”

### *Abụ Mosis*

30 Ya mere, Mosis gụpụtara okwu niile dị n’abụ a site na mbido ruo ọgwụgwụ na
ntị nzukọ ndị Izrel niile.

## 32

1 Gee ntị, gị eluigwe, nụrụ ihe m na-ekwu!
Gee ntị, ụwa, nụrụ okwu si m n’ọnụ.
2 Ka okwu m daa dịka mmiri ozuzo
ka okwu m daa dịka igirigi,
ka ọ daa dịka nshansha mmiri n’elu ahịhịa,
dịka oke mmiri ozuzo n’ahịhịa na-epupụta epupụta.

3 Aga m eto aha ONYENWE ANYỊ

toonu ịdị ukwuu Chineke anyị!
4 Ọ bụ oke nkume ahụ, ọrụ ya zuruoke,
ụzọ ya niile ziri ezi.
Chineke kwesiri ntụkwasị obi, nke na-adịghị eme ihe ọjọọ,
onye ezi omume na onye ziri ezi ka ọ bụ.

5 Ha emerụọla onwe ha, ha abụkwaghị ụmụ ya,
ha bụ ọgbọ gbagọrọ agbagọ, ndị ụdịdị ha gbanwere agbanwe
6 Ọ bụ otu a ka unu si emeso ONYENWE ANYỊ
unu ndị nzuzu, ndị na-enweghị uche?
ONYENWE ANYỊ ọ bụghị nna unu, onye kere unu,
onye kpụrụ unu mee ka unu guzosie ike?

7 Cheta ụbọchị ochie ndị ahụ gara aga,
tulee ọgbọ ndị ahụ gara aga
jụọ nna gị, ọ ga-akọrọ gị.
Jụọ ndị okenye gị, ha ga-eme ka o doo gị anya.
8 Mgbe Onye kachasị ihe niile elu nyere mba ọbụla ihe nketa nke ha,
mgbe o kesara ụmụ mmadụ,
mgbe o guzobere oke ala nye ndị niile
dịka ọnụọgụgụ ụmụ Izrel si dị.
9 N'ihi na oke ONYENWE ANYỊ nwetara bụ ndị ya
Jekọb bụ ihe nketa e kenyere ya.

10 N'ala dị n'ọzara ka ọ chọtara ya,
n'ala tọgbọrọ n'efu, nke kpọrọ nkụ.
O kpuchitere ya, lezie ya anya,
o chebere ya dịka ọ bụ mkpụrụ anya ya,
11 dịka ugo nke na-akpọte ụmụ dị n'akwụ ya,
nke na-erugharị n'elu ụmụ ya,
nke na-agbasapụ nku ya ijide ha,
nke na-ebu ha na nku ya,
12 ONYENWE ANYỊ naanị ya duru ya,
chi ala ọzọ esokwaghị ya.

13 O mere ka ọ rịkwasị n'ebe niile dị elu nke ala ahụ,
jiri mkpụrụ na-amị n'ala ubi ahụ zụọ ya.
O ji mmanụ aṅụ si na nkume zụọ ya,
ya na mmanụ si n'oke nkume,
14 na mmiri ara rahụrụ arahụ nke igwe ehi, na mmiri ara rahụrụ arahụ nke igwe ewu na atụrụ,
na ụmụ atụrụ na mkpi gbara abụba,
na oke ebule Bashan dị ezi mma,
tinyere ezi obi ọka wiiti.
Ị ṅụkwara mmanya na-agbọ ụfụfụ, nke bụ ọbara mkpụrụ vaịnị.

15 Ma Jeshurun mara abụba, ma gbagharịa ụkwụ ya,
ebe nri juru ya ọnụ, o buru ibu, maa mma ile anya.
Ọ hapụrụ Chineke kpụrụ ya,
jụ oke nkume ahụ, bụ Onye Nzọpụta ya.
16 Ha sitere na chi ndị ala ọzọ ha kpasuo ekworo ya,

meekwa ka iwe wee ya n’ihi ihe arụ nke arụsị ha.
17 Ha chụrụ aja nye ụmụ mmụọ, ndị na-abụghị Chineke,
bụ chi ndị ha na-amaghị,
chi ndị ka pụtara ọhụrụ,
chi ndị ahụ nna nna ha na-atụghị ụjọ ha.
18 Ị gbakụtara Oke Nkume ahụ mụrụ gị azụ,
i chefuru Chineke ahụ mụrụ gị.

19 ONYENWE ANYỊ hụrụ ihe dị otu a, jụ ha,
n’ihi na ụmụ ya ndị ikom na ndị inyom kpasuru ya iwe.
20 “Aga m ezo ihu m n’ebe ha nọ,” ka o kwuru,
“ka m hụ ihe ọnọdụ ikpeazụ ha ga-abụ,
n’ihi na ha bụ ọgbọ gbagọrọ agbagọ,
ụmụ na-ekwesighị ntụkwasị obi.
21 Ha esitela n’ihe na-abụghị chi kpalie ekworo m,
jiri arụsị ha na-abaghị uru mee ka iwe wee m.
Mụ onwe m ga-esite na ndị na-abụghị ndị kpalie ekworo ha,
sitekwa na mba na-enweghị nghọta kpalie iwe ya.
22 N’ihi na a mụnyela ọkụ n’ọnụma m,
ọkụ ga-enwu ruo ala mmụọ n’okpuru ụwa.
Ọ ga-erepịa ụwa na mkpụrụobi niile,
ọ ga-amụnye ọkụ na ntọala ugwu ukwu niile.

23 “Aga m ekpokwasị mbibi n’elu ha,
zipụ àkụ m niile megide ha.
24 Aga m eziga ọnwụ na-eripịa eripịa megide ha,
na ịla n’iyi nke na-ebibi ebibi, na ọrịa ọjọọ na-egbu egbu.
Aga m eziga anụ ọhịa ndị ga-eji eze tapịasịa ha,
na ajụala na-akpụ akpụ n’uzuzu, nke elo ọnwụ dị n’ọnụ ya.
25 N’okporoụzọ, mma agha ga-eme ka ha gbara aka ụmụ,
n’ime ụlọ ha, ihe oke egwu ga-abịakwasị ha.
Ụmụ okorobịa na agbọghọbịa ga-ala n’iyi,
ọ bụladị ụmụntakịrị na ndị agadi isi awọ.
26 Ekwuru m na m ga-achụsasị ha,
hichapụ ncheta ọbụla banyere ha n’etiti ụmụ mmadụ.
27 Ma ihe banyere ịnya isi onye iro tinyere m ụjọ n’obi,
ka onye iro ghara ịghọtahie kwuo sị,
‘Aka anyị ewetarala anyị mmeri,
ọ bụghị ONYENWE ANYỊ mere ihe ndị a niile.’ ”

28 Ha bụ mba na-enweghị uche,
ndị na-enweghị mmụọ nghọta ọbụla n’ime ha.
29 A sịkwarị na ha maara ihe, nwee uche
nakwa ịghọta ihe ikpeazụ ha ga-abụ.
30 Kedụ ka otu onye ga-esi chụọ otu puku mmadụ ọsọ,
kedụ ka mmadụ abụọ ga-esi chụọ iri puku mmadụ ọsọ,
ma ọ bụghị na Oke Nkume ha erefuola ha,
ma ọ bụghị na ONYENWE ANYỊ echepụla ihu ya n’ebe ha nọ?
31 N’ihi na nkume ha adịghị ka Nkume anyị,
dịka ndị iro anyị, n’onwe ha, jiri ọnụ ha kwuo.

32 Osisi vaịnị ha si n’osisi vaịnị Sọdọm,
na n’ubi dị na Gọmọra
mkpụrụ vaịnị ha jupụtara na nsi,
ụyọkọ vaịnị ha jupụtara n’ilu ilu.
33 Mmanya vaịnị ha bụ elo agwọ,
elo ajụala na-ebute ọnwụ.

34 “Nke a ọ bụghị ihe m dokọtarala chere oge,
chezie ha nke ọma n’ụlọakụ m?
35 Ọ bụ m ka ịbọ ọbọ dịrị m, aga m akwụghachi.
Mgbe oge ruru ụkwụ ha ga-agbuchapụ,
ụbọchị mbibi ha na-abịa nso,
ịla n’iyi ha chị ọsọ na-abịakwasị ha.”

36 Onyenwe anyị ga-ekpe ndị ya ikpe,
ọ ga-enwe ọmịiko n’ahụ ndị ohu ya,
mgbe ọ hụrụ na ike ha nwere agwụla,
mgbe otu onye na-agaghị afọdụ, ohu na onye nwe onwe ya.
37 Ọ ga-asịkwa, “Ugbu a, olee ebe chi niile ha nọ,
bụ oke nkume ahụ ha gbabara izere ndụ n’ime ya,
38 chi ndị ahụ riri abụba ihe ịchụ aja ha,
ṅụọkwa mmanya ha ji chụọ aja ihe ọṅụṅụ?
Ha bilie bịa nyere unu aka!
Ha bụrụ ụlọ ndo nye unu!”

39 “Ugbu a, hụnụ na mụ onwe m abụ m ya!
Ọ dịghịkwa chi ọzọ dị ma ọ bụghị m.
Mụ onwe m na-eme ka a nwụọ, mụ onwe m na-eme ka a dị ndụ.
Mụ onwe m na-etipụ mmadụ ọnya, mụ onwe m na-agwọ ya,
mmadụ ọbụla apụghịkwa ịnapụta onye m ji n’aka m.
40 Ana m eweli aka n’eluigwe na-ekwupụta n’ịnụ iyi sị,
dịka m na-adị ndụ ruo mgbe ebighị ebi,
41 mgbe m mụrụ mma agha m na-egbu amụma,
mgbe aka m jidere mma agha ahụ n’ọnọdụ ikpe ikpe,
aga m abọ ọbọ megide ndị iro,
kwụghachi ndị ahụ niile kpọrọ m asị.
42 Aga m eme ka àkụ m ṅụjuo ọbara afọ,
ma mma agha ga-ebibi anụ ahụ,
ọbara ndị e gburu egbu, na nke ndị a dọtara n’agha,
na isi ndị ndu ndị iro.”

43 Ṅụrịanụ ọṅụ mba niile, unu na ndị ya,
n’ihi na ọ ga-abọ ọbọ ọbara ndị ohu ya,
ọ ga-abọ ọbọ megide ndị iro ya,
kpuchiere ala ya na ndị ya mmehie ha.
44 Mosis na Joshua* nwa Nun soro bịa gụpụta mkpụrụ okwu abụ a na ntị ndị Izrel.
45 Mgbe Mosis gụpụtachara abụ a nye ndị Izrel, 46 ọ gwara ha okwu ndị a sị, “Na-
atụgharịnụ uche n’okwu niile m kwupụtara nye unu taa, ka unu si otu a nyefeekwa
ya n’aka ụmụ unu, ka ha onwe ha lezie anya debe okwu niile dị n’iwu ndị a. 47 N’ihi

* **32:44** 32:44 Joshua Hosea bụ ụzọ ọzọ e si akpọ aha a

na okwu ndị a abụghị okwu efu, ndụ unu dabeere na ha. Unu debe ha, unu ga-adị ndụ ogologo n’ime ala ahụ unu na-aga inweta n’ofe ọzọ nke osimiri Jọdan.”

### *Ọnwụ Mosis n’ugwu Nebo*

48 N’otu ụbọchị ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis okwu sị, 49 “Bilie ga n’ugwu Nebo
nke dị n’etiti ugwu Abarim, n’ala Moab, na ncherita ihu Jeriko, leekwa ala Kenan
anya, bụ ala ahụ m na-enye ụmụ Izrel dịka ihe nketa ha. 50 Mgbe ị hụsịrị ala a, ị
ga-anwụ n’ebe ahụ n’elu ugwu ahụ, lakwurukwa nna nna gị ha, dịka Erọn nwanne
gị si nwụọ n’ugwu Hor, lakwuru ha. 51 N’ihi na gị na Erọn jụrụ irubere m isi n’ihu
ụmụ Izrel, na mmiri Meriba Kadesh, nke dị n’ọzara Zin, unu edoghị m nsọ n’ihu ndị
Izrel.† 52 N’ihi ya, ị ga-esite n’ebe dị anya hụ ala ahụ m na-enye ụmụ Izrel, ma ị gaghị
aba n’ime ya.”

# 33

### *Mosis agọzie ụmụ Izrel*

1 Nke a bụ ngọzị Mosis, onye nke Chineke, jiri gọzie ụmụ Izrel, tupu ọ nwụọ. 2 Ọ
sịrị,
“ONYENWE ANYỊ si n’ugwu Saịnaị bịa,
ọ waliteere ha site n’ugwu Sia,
o nwupụtara site n’ugwu Paran
Ya na igwe ndị nsọ so bịa
site n’akụkụ ndịda, site n’ala ala ugwu ahụ.
3 N’ezie, ọ bụ gị na-ahụ ndị mmadụ ahụ n’anya,
ndị nsọ ahụ niile dị gị n’aka.
N’ụkwụ gị ka ha na-ada kpọọ isiala,
gị na-akụziri ha ihe,
4 iwu ahụ Mosis nyere anyị,
ihe onwunwe nke ọgbakọ Jekọb.
5 Ọ bụ ya bụ eze na Jeshurun,
mgbe ndị ndu ndị mmadụ zukọrọ
ha na ebo niile nke Izrel.

6 “Ka ebo Ruben dịrị ndụ ghara ịnwụ,
ma ka ọnụọgụgụ ndị ikom ya dịrị ole na ole.”
7 Ihe a ka o kwuru banyere Juda,
“Nụrụ, ONYENWE ANYỊ, akwa Juda,
kpọlata ya n’ebe ndị ya nọ.
Aka ya ka o ji alụrụ onwe ya ọgụ ichebe ihe o bu n’uche.
Bụụrụ ya onye inyeaka megide ndị iro ya.”
8 Banyere Livayị o kwuru sị,
“Urim na Tumim gị dịịrị
ohu gị ahụ kwesiri ntụkwasị obi.
Ị nwara ya ọnwụnwa na Masa,
gị na ya sekwara okwu na mmiri Meriba.
9 Onye ahụ lere nne na nna ya anya sị,
‘Ejighị m ha kpọrọ ihe.’
Ọ gụnyeghịkwa ụmụnne ya dịka ndị ọ maara,
ọ nabatakwaghị ụmụ nke aka ya.
Ma o debere okwu gị,
cheziekwa ọgbụgba ndụ gị.

† **32:51** 32:51 Ọnụ 20:11-13

10 Ọ na-akụziri Jekọb ikpe gị,
na-akụzikwara Izrel iwu gị.
Ọ na-achụkwa aja ụda na-esi isi ụtọ n'ihu gị,
na-achụkwa aja nsure ọkụ n'ebe ịchụ aja gị.
11 Gọzie akụnụba ya ONYENWE ANYỊ,
ka ọrụ aka ya bụrụkwa ihe na-atọ gị ụtọ.
Tijie ụkwụ ndị niile na-ebili imegide ya,
tigbuo ndị iro ya ka ha ghara inwe ike ibili ọzọ."
12 Mosis kwuru banyere ebo Benjamin sị,
"Ka onye ahụ ONYENWE ANYỊ hụrụ n'anya zuru ike na-atụghị ụjọ n'ime ya.
N'ihi na ọ ga-ekpuchi ya ogologo ụbọchị niile.
Ọ bụkwa n'etiti ubu ya abụọ ka onye ONYENWE ANYỊ hụrụ n'anya na-anọ."
13 Banyere Josef o kwuru sị,
"Ka ONYENWE ANYỊ gọzie ala ya,
ya jiri igirigi dị oke ọnụahịa nke eluigwe dị n'elu,
na ogbu mmiri dị n'okpuru ala,
14 na ihe ọma niile anyanwụ na-eweta,
na ihe ọma niile ọnwa na-ewepụta,
15 na onyinye ọma niile si n'ugwu ukwu ochie,
na ịba ụba ugwu ebighị ebi ndị ahụ,
16 na onyinye ọma niile si n'ala na uju ya niile,
na ihuọma onye ahụ na-ebi n'ọhịa nta ahụ na-enwu ọkụ.
Ka ihe ndị a niile dịrị n'isi Josef,
n'iku anya onye bụ nwa eze, n'etiti ụmụnna ya.
17 N'ịma mma, ọ dị ka nwa oke ehi e bụ ụzọ mụọ,
mpi ya dị ka mpi ehi ọhịa.
Ya ka ọ ga-eji sọda mba niile
ọ bụladị mba ndị ahụ dị na nsọtụ ụwa.
Otu a ka iri puku kwụrụ puku ndị Ifrem dị
otu a ka imerime puku ndị Manase dị."
18 Banyere Zebụlọn, o kwuru sị,
"Ṅụrịa, gị Zebụlọn, n'ọpụpụ gị,
ma gị Isaka, ṅụrịa n'ebe obibi gị.
19 Ha ga-akpọ ndị mmadụ oku n'elu ugwu ukwuu,
nọ n'ebe ahụ chụọ aja ezi omume,
ha ga-eri site n'ịba ụba nke ihe dị n'osimiri,
site n'akụ nzuzo dị n'aja."
20 Banyere Gad, o kwuru sị,
"Ngọzị na-adịrị onye ahụ na-eme ka ebe obibi Gad saa mbara.
Gad na-ebi dịka ọdụm,
na-adọkapụ aka maọbụ isi.
21 Ọ họọrọ ala nke kachasị mma nye onwe ya;
oke ruuru onyendu ka e wepụrụ dobere ya.
Mgbe ndị ndu ndị mmadụ zukọrọ,
o mezuru ezi ihe dị ONYENWE ANYỊ n'obi,
na ikpe ya niile banyere Izrel."
22 Banyere Dan, o kwuru sị,
"Dan bụ nwa ọdụm,
onye na-esi na Bashan mapụta."
23 Banyere Naftalị, o kwuru sị,

“Naftalị bụ onye njupụta nke ihuọma ONYENWE ANYỊ dịrị,
o jupụtakwara na ngọzị ya,
ọ ga-eketa akụkụ ndịda nke iyi ukwu.”
24 Banyere Asha, o kwuru sị,
“Onye a gọziri karịchasịa n’ụmụ ndị ikom ka Asha bụ,
ka ihe banyere ya tọọ ụmụnna ya ụtọ,
ka o jirikwa mmanụ* saa ụkwụ ya.
25 Ihe mkpọchi nke ọnụ ụzọ ama gị ga-abụ bronz na igwe,
dịka ụbọchị ndụ gị niile si dị, otu a ka ịdị ike gị ga-adị.

26 “O nweghị onye dịka Chineke Jeshurun,
onye na-agba eluigwe dịka ịnyịnya ịbịa inyere gị aka,
onye na-agba igwe ojii dịka ịnyịnya n’ịdị ukwuu ya.
27 Chineke ebighị ebi bụ ebe mgbaba gị.
N’okpuru gị ka aka ebighị ebi ya dị.
Ọ ga-esite n’ihu gị chụpụ ndị iro gị, kwuokwa sị,
‘Bibie ha!’
28 Ya mere Izrel ga-ebi naanị ya n’udo,
isi iyi mmiri Jekọb dị chịm,
n’ala ahụ jupụtara na mkpụrụ ubi na mmanya ọhụrụ
ebe igirigi nke eluigwe na-ada.
29 Onye a gọziri agọzi ka ị bụ, gị Izrel,
onye dị ka gị
ndị ONYENWE ANYỊ zọpụtara?
Ọ bụ ọta gị na onye inyeaka gị,
na mma agha gị dị ebube.
Ndị iro gị ga-eji egwu daa n’ihu gị,
ị ga-azọdakwa ebe ha niile dị elu.”

# 34

*Ọnwụ Mosis*

1 Mgbe ahụ, Mosis sitere na mbara ala Moab rigoruo n’elu n’ugwu Nebo, ruo n’elu
Pisga, nke dị na ncherita ihu Jeriko. N’ebe ahụ ONYENWE ANYỊ mere ka ọ hụ ala ahụ
niile anya site na Gilead ruo Dan; 2 ya na ala Naftalị niile n’oke ala Ifrem, na nke
Manase, na ala Juda niile ruo n’osimiri Mediterenịa.* 3 Mosis hụkwara ala Negev, na
akụkụ ala ahụ niile dị site na Ndagwurugwu Jeriko, obodo nkwụ, ruo Zoa. 4 Mgbe
ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị ya, “Nke a bụ ala ahụ m sitere n’ịṅụ iyi kwee
Ebraham, Aịzik na Jekọb nkwa mgbe m kwuru sị, ‘Aga m enye ya ụmụ ụmụ gị.’†
Ugbu a emeela m ka i jiri anya gị hụ ya ma ị gaghị agabiga banye n’ime ya.”‡
5 Ya mere, Mosis, onyeozi ONYENWE ANYỊ nwụrụ n’ebe ahụ, n’ala Moab, dịka
ONYENWE ANYỊ kwuru. 6 ONYENWE ANYỊ liri ya na Moab, na ndagwurugwu chere
ihu na Bet-Peoa, ma ruo taa, ọ dịghị onye ọbụla maara ebe ili ya dị. 7 Mosis gbara
narị afọ na iri afọ abụọ mgbe ọ nwụrụ, ma n’oge ahụ ike ka dị ya n’ahụ, anya ya
na-ahụkwa ụzọ nke ọma. 8 Ụmụ Izrel ruru ụjụ n’ihi Mosis, iri ụbọchị atọ n’obosara
ala Moab, tutu ruo mgbe oge iru ụjụ na ịkwa akwa gasịrị.

* **33:24** 33:24 Mmanụ bụ ihe ngosi na mmadụ bụ ọgaranya n’ọrụ ubi, nke kachasị, ọ bụrụ na onye dị otu a na-akọ mkpụrụ oliv nke e si na ya emepụta mmanụ. Jen 49:20; Job 29:6. * **34:2** 34:2 Osimiri Mediterenịa dị n’ọdịda anyanwụ † **34:4** 34:4 Jen 12:7 ‡ **34:4** 34:4 Dit 3:27

9 Joshua nwa Nun, jupụtara na mmụọ amamihe,§ n'ihi na Mosis ebikwasịla ya aka n'isi. Ya mere, ụmụ Izrel ṅara Joshua ntị, gbasookwa iwu niile ONYENWE ANYỊ nyere ha site n'ọnụ Mosis.
10 Ọ dịbeghị onye amụma ọzọ pụtarala n'ala Izrel niile, nke dịka Mosis,* onye ya na ONYENWE ANYỊ kparịtara ụka ihu na ihu,† 11 onye mere ihe ịrịbama ndị a niile, rụọkwa ọrụ ebube niile nke ONYENWE ANYỊ ziri ya ka o mee n'Ijipt, n'ihu Fero, na ndị ozi ya niile, nakwa n'ala ahụ niile. 12 N'ihi na o nwebekwaghị onye ọzọ gosirila ike dị oke egwu, maọbụ rụọ ọrụ dị oke egwu ụdị nke Mosis rụrụ n'ihu ndị Izrel niile.

§ **34:9** 34:9 Aịz 11:2 * **34:10** 34:10 Dit 18:15,18 † **34:10** 34:10 Ọpụ 33:11; Ọnụ 12:8; Dit 5:4

# Joshua

### *Iwu ONYENWE ANYỊ nyere Joshua*

1 Mgbe Mosis, bụ odibo ONYENWE ANYỊ nwụrụ, ONYENWE ANYỊ gwara Joshua nwa
Nun, onye na-enyere Mosis aka okwu sị, 2 “Mosis, odibo m anwụọla.* Ugbu a, jikere
onwe gị,† meekwa ka ndị m jikere ịgafe ofe ọzọ nke osimiri Jọdan, ịbanye n’ala ahụ
m na-aga inye ha, bụ ndị Izrel. 3 Ana m agwa gị ihe m gwara Mosis mgbe ọ dị ndụ sị,
Ebe ọbụla unu ga-azọkwasị ụkwụ unu n’ala, ala ahụ ga-abụ nke unu. 4 Oke ala unu
ga-abụ site n’ọzara dị na ndịda ruo Lebanọn, ma site n’iyi ukwu Yufretis, tinyere
ala niile nke ndị Het, ruo n’osimiri ukwu ahụ dị n’ọdịda anyanwụ. 5 Ọ dịghị onye
ọbụla pụrụ iguzo imegide gị ụbọchị niile nke ndụ gị.‡ Aga m anọnyere gị dịka m si
nọnyere Mosis.§ Agaghị m ahapụ gị aka. Agaghị m agbakụtakwa gị azụ.* 6 Dịrị ike,
nweekwa ume, n’ihi na ị ga-abụ onye ga-edu ndị a iketa ala ahụ m ṅụrụ n’iyi inye
nna nna ha ochie.
7 “Naanị dịrị ike, nweekwa ume. Lezie anya ime ihe niile Mosis bụ odibo m nyere
gị n’iwu. Ewezugala onwe gị na ya gaa aka nri maọbụ aka ekpe, ka ihe si otu a gaara
gị nke ọma n’ebe ọbụla ị na-aga. 8 Esitela n’ọnụ gị wezuga ihe dị n’Akwụkwọ Iwu a.
Kama na-atụgharị uche gị na ya ehihie na abalị, ka i si otu a lezie anya imezu ihe
niile e dere n’ime ya. Mgbe ahụ ị ga-aba ụba, ihe ga-agakwara gị nke ọma. 9 Ọ bụ na
m enyebeghị gị iwu sị gị, Nwee obi ike, dịrịkwa ike! Wezuga ụjọ niile na ịda mba nke
obi. Cheta na mụ, bụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị, nọnyeere gị ebe ọbụla ị na-aga.”
10 Mgbe ahụ, Joshua nyere ndịisi Izrel niile iwu sị ha, 11 “Jegharịanụ n’etiti ebe
obibi ụmụ Izrel gwa mmadụ niile okwu sị ha ‘Dozierenụ onwe unu ihe unu ga-eri
n’ụzọ, n’ihi na n’ime ụbọchị atọ, anyị ga-agafe osimiri Jọdan, imeri na inweta ala
ahụ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke na-enye unu.’ ”
12 Joshua kpọkọtara ndịisi ebo Ruben, na Gad, na ọkara ebo Manase, gwa ha okwu
sị, 13 “Chetanụ iwu ahụ Mosis odibo ONYENWE ANYỊ nyere unu, mgbe ọ sịrị, ‘ONYENWE
ANYỊ Chineke unu na-enye unu izuike. O nyekwala unu ala a.’ 14 Kama ndị nwunye
unu, na ụmụntakịrị unu, na anụ ụlọ unu, ga-anọ n’ala a dị n’ọwụwa anyanwụ nke
Mosis nyere unu. Ma ndị agha unu, ndị jikeere ejike, ga-eduru ndị Izrel ndị ọzọ gafee
osimiri Jọdan inyere ụmụnna ha aka, 15 tutu ruo mgbe ONYENWE ANYỊ Chineke unu
nyere ha izuike, dịka o si nye unu, na tutu ruo mgbe ha nwetara ala niile bụ nke
ONYENWE ANYỊ Chineke unu ga-enye ha. Mgbe nke a mezuru, unu ga-alaghachi azụ,
nweta ala ahụ Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ nyere unu n’akụkụ ọwụwa anyanwụ
osimiri Jọdan.”
16 Mgbe ahụ, ha zara Joshua, “Ihe ọbụla nke ị nyere anyị n’iwu anyị ga-eme ha, ebe
ọbụla i zigara anyị ka anyị ga-aga. 17 Anyị ga-ege gị ntị dịka anyị si gee Mosis ntị. Ka
ONYENWE ANYỊ Chineke gị nọnyere gị dịka o si nọnyere Mosis. 18 Onye ọbụla nupuru
isi n’iwu i nyere anyị, ọ ga-anwụ. Naanị dịrị ike, nweekwa obi ike.”

## 2

### *Rehab na ndị Nnyopụta*

* **1:2** 1:2 Ọnụ 12:7 † **1:2** 1:2 N’oge a, ndị Izrel nọ na Shitim Jos 2:1; 3:1 n’ala Moab Dit 34:3 dị n’akụkụ Jọdan.
‡ **1:5** 1:5 Dit 7:24 § **1:5** 1:5 Ọpụ 3:12; Dit 31:8,23 * **1:5** 1:5 Dit 31:6,8; Hib 13:5

1 Joshua nwa Nun sitere na Shitim zipụ ndị nnyopụta abụọ na nzuzo sị ha, “Gaanụ
leta otu ihe si aga n’ala ahụ, karịsịa n’obodo Jeriko.”* Ha gara n’obodo ahụ baa n’ụlọ
nwanyị akwụna aha ya bụ Rehab nọọ ọnọdụ n’ebe ahụ.
2 Ma otu onye gwara eze Jeriko okwu sị, “Lee, ụfọdụ ụmụ ndị ikom Izrel batara
obodo a n’abalị inyochapụta ala anyị.” 3 Mgbe eze Jeriko nụrụ okwu a, o zigaara
Rehab ozi sị, “Kpọpụta ndị ikom ahụ batara n’ụlọ gị n’ihi na ha bịara iledo ala anyị.”
4 Ma nwanyị ahụ zoro mmadụ abụọ ahụ. Mgbe ndị ahụ e ziri ozi bịarutere, ọ
gwara ha okwu sị, “Ọ bụ eziokwu na ndị ikom ahụ bakwutere m, ma amaghị m ebe
ha si bịa. 5 Ma ha apụọlarị. Ha hapụrụ obodo a mgbe a na-achọ imechi ọnụ ụzọ ama,
n’oge ọchịchịrị bidoro ịgba. Amaghị m ebe ha gara. Ma, n’uche m, ọ bụrụ na unu
achụso ha ọsọ ọsịịsọ unu nwere ike ijide ha.” 6 (N’eziokwu ọ bụ Rehab n’onwe ya
mere ka mmadụ abụọ ahụ rigoro n’elu ụlọ ebe o zoro ha n’okpuru ahịhịa flakisi ọ
wụsara n’ebe ahụ.) 7 Ya mere, ndị ikom ahụ pụrụ na-achụ ndị nnyopụta ahụ n’akụkụ
ụzọ gara ngabiga Jọdan. Ma ngwangwa ha pụrụ, e mechiri ọnụ ụzọ ama e si abata
obodo ahụ.
8 Ma tupu ndị nnyopụta ahụ edina ala ịrahụ ụra n’abalị ahụ, Rehab rịgokwuru ha,
9 gwa ha sị, “Ama m na Onyenwe anyị enyela unu ala a,† marakwa na oke ụjọ nke
egwu unu adakwasịla anyị, nke mere na ndị niile bi n’ime ala a na-agbaze n’egwu
n’ihi unu, 10 n’ihi na anyị anụla otu Onyenwe anyị si mee ka mmiri dị n’Osimiri Uhie
taa n’ihi unu, mgbe unu si n’Ijipt pụta. Anyị nụkwara ihe unu mere Saịhọn, na Ọg,
bụ eze abụọ ndị Amọrị, ndị bi n’ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan, otu unu si bibie ha,
gbuchapụ ndị niile bi n’ala ahụ. 11 Ma mgbe anyị nụrụ ihe ndị a, obi anyị gbazere
n’ihi ụjọ, mmụọ onye ọbụla dara mba n’ihi unu, n’ihi na Onyenwe anyị Chineke unu
bụ Chineke n’eluigwe na n’ụwa.
12 “Ugbu a, ebe ọ bụ na m emeelara unu ebere, jirinụ Onyenwe anyị ṅụọrọ m iyi
na unu ga-emere ezinaụlọ m ebere. Gosinụ m ihe ịrịbama n’eziokwu, 13 na unu ga-
emekwa ka ndụ nna m, na nne m, na ụmụnne m ndị ikom na ndị inyom, na ndị
ezinaụlọ ha niile dịrị, na unu ga-anapụta anyị site n’ọnwụ.”
14 Ndị ikom ahụ kwere ya nkwa sị, “Ndụ anyị lara ndụ unu. Ọ bụrụ na ị gbaghị anyị
ama, anyị ga-egosi gị obi ebere na ikwesi ntụkwasị obi mgbe Onyenwe anyị ga-enye
anyị ala a.”
15 Ụlọ Rehab dị n’akụkụ mgbidi obodo ahụ. O ji ụdọ site na oghereikuku wedata
ndị ikom abụọ ahụ. 16 Ọ gwakwara ha sị, “Gbalaganụ n’ugwu, zoonụ onwe unu n’ebe
ahụ ụbọchị atọ, tutu ndị ahụ na-achọ unu alaghachi azụ. Mgbe ahụ, unu nwere ike
ịpụta laghachi ebe unu si bịa.”
17 Ndị ahụ gwara ya sị, “Iyi a i mere ka anyị ṅụọ agaghị adị ire megide anyị, 18 ma
ọ bụrụ na n’ụbọchị ahụ anyị ga-abata ala a, i wereghị ụdọ ahụ na-acha uhie uhie
kenye ya na oghereikuku i si wedata anyị, ma ọ bụrụkwa na ịkpọbataghị n’ụlọ gị
nna gị, na nne gị, na ụmụnne gị ndị ikom, na ndị ezinaụlọ gị niile. 19 Ọ bụrụ na onye
ọbụla esite n’ụlọ gị pụọ n’ezi, ọbara ya agaghị adị anyị n’isi, anyị agaghị abụkwa ndị
ikpe mara. Ma ikpe ọmụma dịrị anyị ma ọ bụrụ n’ihe ọbụla emee onye ọbụla gị na
ya so nọdụ n’ime ụlọ. 20 Ma ọ bụrụ na ị gbaa anyị ama, ọ dịkwaghị iwu ji anyị imezu
iyi a i mere ka anyị ṅụọrọ gị.”
21 Rehab zara sị ha, “Dịka okwu niile unu kwuru si dị, otu a ka ọ ga-adị.”
O zilagara ha. Ha pụkwara gaara onwe ha. Ma Rehab kekwasịrị ụdọ uhie uhie ahụ
n’ọnụ oghereikuku ụlọ ya.

---

* **2:1** 2:1 Jeriko bụ obodo ochie e wuru nke ọma, wusikwaa ike. Obodo e ji mgbidi e wusiri ike gbaa gburugburu, nke ọtụtụ iyi, tinyekwara osimiri gbara gburugburu. Jos 15:1-6 E wuru ya ka o nwee ike ịnagide atụmatụ ọbụla nke ndị iro na-atụ, maka ịba n’ime ya. O ruru ihe dịka kilomita asatọ ma a na-aga n’akụkụ ọdịda anyanwụ nke osimiri Jọdan, bụrụkwa ụzọ dị oke mkpa a ga-eji baa n’ala nkwa ahụ. † **2:9** 2:9 Jen 35:5

22 Ndị ikom abụọ ahụ gara zoo onwe ha n'ugwu ahụ. Ha nọrọ ụbọchị atọ n'ebe ahụ dịka Rehab gwara ha, tutu ndị ahụ na-achụ ha laghachiri n'obodo Jeriko. Ndị a chọọrọ ha gaa ebe niile, n'okporoụzọ niile, ma ha ahụghị ha.
23 Emesịa, mmadụ abụọ ahụ e zipụrụ iledo ala ahụ anya sitere n'ebe ha zoro onwe ha rịpụta, gafee osimiri Jọdan, laghachi n'ebe ụmụ Izrel nọ. Ha bịara kọọrọ Joshua nwa Nun otu ha si gaa ije ha.
24 Ha gwara Joshua sị, "N'ezie, ONYENWE ANYỊ enyela anyị ala ahụ niile, n'ihi na ndị niile bi n'ala ahụ na-atụ anyị ụjọ."

# 3

*Ngabiga osimiri Jọdan*

1 N'isi ụtụtụ, Joshua na ụmụ Izrel niile hapụrụ Shitim bịaruo n'akụkụ osimiri Jọdan, maa ụlọ ikwu n'ebe ahụ. N'ebe a ka ha nọ chere tutu ruo mgbe ha ga-agafe.
2 Mgbe ụbọchị atọ gasịrị, ndịisi ụmụ Izrel gabigara jeghariạ n'etiti ọmụma ụlọ ikwu
ahụ, 3 nye ha iwu sị, "Mgbe unu hụrụ igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu, ka ndị nchụaja, ụmụ Livayị, bulitere ya, unu onwe unu ga-esi n'ebe unu nọ bilie soro
ha n'azụ. 4 Ma a ga-enwe oke n'etiti unu na ha, ihe dịka otu kilomita site n'ebe igbe ọgbụgba ndụ ahụ dị. Unu agaghị abịaru ya nso. Nke a bụ maka ị mara ụzọ unu ga-eso, n'ihi na unu esibeghị n'ụzọ a gaa ije mbụ."

5 Joshua gwara ndị Izrel sị, "Doonụ onwe unu nsọ, n'ihi na echi ka ONYENWE ANYỊ ga-eme oke ihe ebube dị iche iche n'etiti unu."

6 Joshua gwara ndị nchụaja sị ha, "Bulienụ igbe ọgbụgba ndụ ahụ, gabiga n'ihu ndị Izrel." Ha buliri igbe ọgbụgba ndụ ahụ, bido ịga n'ihu ụmụ Izrel.

7 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Joshua sị, "Taa, ka m ga-amalite ime ka ị dị ukwuu n'anya ụmụ Izrel niile, ka ha niile mata na dịka m si nọnyere Mosis, otu a ka
m ga-esi nọnyere gị. 8 Ị ga-enye ndị nchụaja bụ ndị na-ebu igbe ọgbụgba ndụ iwu si, 'Mgbe unu ruru n'ọnụ mmiri osimiri Jọdan, banyekwanụ gaa guzo n'ime osimiri ahụ.' "

9 Mgbe ahụ, Joshua gwara ụmụ Izrel niile sị, "Bịanụ nso, bịanụ nụrụ okwu niile
nke ONYENWE ANYỊ Chineke unu. 10 Otu a ka unu ga-esi mata n'ezie na Chineke dị ndụ nọ n'etiti unu, unu ga-amatakwa na ọ ghaghị ịnapụ ndị Kenan, na ndị Het, na ndị Hiv, na ndị Periz, na ndị Gigash, na ndị Amọrait, na ndị Jebus ala ha n'ihu unu.
11 Lee, igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ, Onyenwe ụwa niile ga-agabiga n'ihu unu
banye n'ime Jọdan. 12 Ugbu a sitenụ n'ebo Izrel niile họpụta ndị ikom iri na abụọ,
site n'ebo ọbụla otu onye. 13 Ngwangwa ndị nchụaja bu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ, Onyenwe ụwa niile zọnyere ụkwụ na Jọdan, mmiri Jọdan nke si n'ebe elu ya na-arịdata ga-akwụsị ịsọ, guzoro dịka mgbidi."

14 Ya mere, mgbe ndị Izrel sitere n'ụlọ ikwu ha bilie njem ịgabiga osimiri Jọdan,
ndị nchụaja bụ igbe ọgbụgba ndụ buuru ha ụzọ na-aga ha n'ihu. 15 N'oge owuwe ihe ubi ọbụla, osimiri Jọdan na-etoju etoju, sọjukwaa akụkụ ya niile.* Ma ngwangwa ndị nchụaja bu igbe ọgbụgba ndụ a bịaruru nso zọnye ụkwụ ha n'ọnụ mmiri Jọdan,
16 mmiri si n'elu elu osimiri ahụ kwụsịrị ịsọ, ọ gara elu tụkọta onwe ya dịka mgbidi n'ebe dị anya, n'obodo a na-akpọ Adam, nke dị nso obodo Zaretan. Ebe mmiri nke na-eruda na-asọbanye osimiri Araba, ya bụ, osimiri Nnu kwụsịrị ịsọ kpamkpam. Ya
mere, ndị Izrel gabigara na ncherita ihu Jeriko. 17 Ndị nchụaja bu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ guzoro n'ala akọrọ n'etiti Jọdan, Izrel niile gabigakwara tutu ruo mgbe mba ahụ niile gafesịrị n'ala akọrọ.

* **3:15** 3:15 Jos 4:18; 1Ih 12:15

# 4

1 Mgbe mba ahụ niile gafesịrị osimiri Jọdan, ONYENWE ANYỊ gwara Joshua okwu
sị ya, 2 “Site n’etiti ndị ụmụ Izrel họpụta ndị ikom iri na abụọ, otu onye site n’ebo
ọbụla, 3 ka onye ọbụla n’ime ha site n’ebe ahụ ndị nchụaja guzoro n’etiti osimiri
Jọdan buputa otu nkume, otu nkume, gwa ha ka ha debe nkume ndị a ha buputara
n’ebe unu ga-anọ ọnọdụ abalị taa.”
4 Ya mere, Joshua kpọrọ ndị ikom iri na abụọ ndị ahụ, ndị ọ họpụtara, site n’etiti
ndị Izrel, otu onye site n’ebo ọbụla, 5 Ọ gwara ha sị, “Sitenụ n’etiti osimiri Jọdan,
ebe ndị bu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu guzoro, buputa nkume.
Onye ọbụla n’ime unu ga-ebuputa otu nkume, tụkwasị n’ubu ya, dịka ọnụọgụgụ ebo
Izrel niile si dị, 6 ka ha bụrụ ihe ịrịbama n’etiti unu. N’oge dị n’ihu, mgbe ụmụ unu
ga-ajụ unu ajụjụ sị, ‘Gịnị bụ isi ogidi nkume a dị n’ebe a?’ 7 Unu ga-asịkwa ha, ‘Ọ bụ
ihe na-echetara anyị otu osimiri Jọdan si kwụsị ịsọ, mgbe ndị bụ igbe ọgbụgba ndụ
ONYENWE ANYỊ zọnyere ụkwụ ha n’osimiri ahụ.’ Nkume a ga-abụkwara ụmụ Izrel
niile ihe ncheta ruo mgbe ebighị ebi.”
8 Ụmụ Izrel mere dịka Joshua gwara ha. Ha buputara nkume iri na abụọ site n’etiti
osimiri Jọdan, dịka ONYENWE ANYỊ si nye Joshua n’iwu sị na otu onye, n’ebo Izrel
ọbụla, ga-ebuputa otu nkume. Ha buuru nkume iri na abụọ ndị ahụ gaa n’ebe ha
nọrọ ọnọdụ abalị, debe ha n’ebe ahụ. 9 Joshua n’onwe ya kwa ji nkume iri na abụọ
ahụ nke si n’etiti osimiri Jọdan wuo ogidi ịrịbama, n’ebe ahụ ndị nchụaja bu igbe
ọgbụgba ndụ ahụ guzoro. Ha dịkwa n’ebe ahụ ruo taa.
10 Ndị nchụaja, ndị bụ igbe ọgbụgba ndụ ahụ, guzoro n’etiti osimiri Jọdan, tutu ruo
mgbe e mezuru iwu ahụ niile ONYENWE ANYỊ nyere Joshua site n’ọnụ Mosis. Mgbe ahụ
kwa, ndị Izrel mere ngwangwa gafee osimiri Jọdan. 11 Ngwangwa ha niile gafetasịrị,
igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ na ndị nchụaja gafetakwara n’akụkụ nke ọzọ, ka
ndị mmadụ na-ele ha anya. 12 Ndị agha ụmụ Ruben, na ụmụ Gad, na ọkara ebo
Manase, buuru ụmụ Izrel niile ụzọ gafee, idu ha n’agha, dịka Mosis nyere ha n’iwu.
13 Ndị agha ọnụọgụgụ ha ruru iri puku anọ (40,000), ndị jikeere nke ọma ibu agha,
duuru ebo ndị ọzọ, gafere n’ihu ONYENWE ANYỊ bata n’obosara ala Jeriko maka ibu
agha.
14 Ụbọchị ahụ bụ ụbọchị ONYENWE ANYỊ buliri Joshua elu nke ukwuu n’ihi na o
mere Joshua ka ọ dị ukwuu n’anya ndị Izrel niile, si otu a mee ka ha tụọ ya egwu nke
ukwuu dịka ha si tụọ Mosis egwu, ma sọpụkwara ya ụbọchị niile nke ndụ ya.
15 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Joshua okwu sị, 16 “Nye ndị nchụaja, ndị bu
igbe ọgbụgba ndụ ahụ iwu ka ha si n’osimiri Jọdan pụta.”
17 Ya mere Joshua nyere ndị nchụaja iwu sị ha, “Sitenụ n’osimiri Jọdan pụta.”
18 Mgbe ndị nchụaja bu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ ahụ si n’osimiri Jọdan
rịpụta, dịka ọbụ ụkwụ ha na-emetụ n’ala akọrọ, mmiri osimiri ahụ sọghachiri
n’ọnọdụ ya ruchie akụkụ ya niile, ka ọ dị na mbụ.
19 Ihe ịrịbama a mere n’ụbọchị nke iri, n’ọnwa nke mbụ. N’ụbọchị ahụ ka ndị Izrel
niile gafere osimiri Jọdan, gaa maa ụlọ ikwu ha na Gilgal, ebe dị n’ọwụwa anyanwụ
obodo Jeriko. 20 Nkume iri na abụọ ahụ ha si n’osimiri Jọdan buputa, ka Joshua
guzobere na Gilgal. 21 Ọ sịrị ndị Izrel, “N’oge dị n’ihu, mgbe ụmụ unu ga-ajụ ndị
bụ nna ha ajụjụ sị, ‘Gịnị ka nkume ndị a pụtara, Gịnịkwa ka ha na-egosi?’ 22 Gwa
ha, ‘Izrel gafere osimiri Jọdan n’ala akọrọ.’ 23 N’ihi na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke
unu mere ka osimiri Jọdan takpọọ n’ihu unu tutu ruo mgbe unu gafesịrị n’ofe nke
ọzọ. ONYENWE ANYỊ Chineke unu mere osimiri Jọdan ihe o mere osimiri Uhie* mgbe
o mere ka osimiri Uhie takpọọ n’ihu anyị, tutu ruo mgbe anyị gafesịrị n’ofe ya nke
ọzọ. 24 O mere ihe ndị a niile ka ndị niile bi n’elu ụwa mata na aka ONYENWE ANYỊ dị

* **4:23** 4:23 Ọpụ 14:21

ike.† O mekwara ya ka unu onwe unu tụọ egwu ONYENWE ANYỊ Chineke unu, mgbe
niile."‡

# 5

1 Mgbe ndị eze ndị Amọrait niile, ndị bi n'ofe ọzọ nke osimiri Jọdan, n'akụkụ ọdịda
anyanwụ, na ndị eze ndị Kenan niile bi n'akụkụ oke osimiri Mediterenịa, nụrụ na
ONYENWE ANYỊ emeela ka osimiri Jọdan takpọọ n'ihu ụmụ Izrel, ruo mgbe anyị niile
gafesịrị, obi lọrọ ha mmiri. Ọ dịkwaghị ike ọbụla fọdụụrụ ha iguzo n'ihu ụmụ Izrel.

### *Obibi ugwu na Gilgal*

2 Ma n'oge ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Joshua okwu sị ya, "Jiri nkume mee mma ị
ga-eji bie ụmụ Izrel niile ugwu ọzọ." 3 Ya mere, Joshua ji nkume mee mma ntakịrị
e ji bie ụmụ Izrel niile ugwu. Ebe a nọ bie ụmụ Izrel ugwu bụ ebe a na-akpọ Gibịat
Haaralot.
4 Nke a bụ ihe mere o ji mee otu a: Ndị ikom niile si n'Ijipt pụta, ndị tozuru ije
agha, nwụrụ n'ụzọ, n'ime ọzara, mgbe ha hapụchara Ijipt. 5 Mgbe ụmụ Izrel niile
si Ijipt pụta, e biri ndị nwoke niile nọ n'etiti ha ugwu. Ma n'ime iri afọ anọ ahụ ha
na-awagharị n'ọzara, o nweghị ụmụ ha ndị nwoke a mụrụ n'oge a e biri ugwu. 6 Ndị
Izrel niile awagharịala n'ọzara iri afọ anọ tutu ruo mgbe ndị ikom niile toruru ije
agha, bụ ndị hapụrụ Ijipt nwụchara, ebe ọ bụ na ha jụrụ irubere ONYENWE ANYỊ isi.
N'ihi na ONYENWE ANYỊ ṅụrụ iyi sị ha na ha agaghị ahụ ala ahụ anya, bụ ala ahụ o
kwere nna nna ha na nkwa, inye anyị, ala mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na
ya. 7 ONYENWE ANYỊ mere ka ụmụ ndị nnupu isi a mụtara nọchie anya ha. Ọ bụkwa
ndị a ka Joshua biri ugwu, n'ihi na tutu ruo ugbu a, e bibeghị ha ugwu. 8 Mgbe e
bizuru mba niile ahụ ugwu, ha nọdụrụ n'ebe ahụ ha mara ụlọ ikwu tutu ọnya obibi
ugwu ha alaa.
9 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Joshua okwu sị, "Taa, ewezugala m site n'ebe
unu nọ ihe nkọcha nke ya na Ijipt so." N'ihi nke a, ha kpọrọ ebe ahụ Gilgal.* Ọ
bụkwa aha ya ruo taa.
10 Mgbe ụmụ Izrel mara ụlọ ikwu ha na Gilgal n'ala ihe n'adịghị nke Jeriko, ha mere
Mmemme Ngabiga n'uhuruchi nke ụbọchị iri na anọ nke ọnwa ahụ. 11 N'ụbọchị
sotere ụbọchị ngabiga, n'otu ụbọchị ahụ, ha riri ụfọdụ ihe ubi nke ala Kenan. Ọ bụ
achịcha a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee, na ọka ahụrụ n'ọkụ ka ha tara. 12 Mánà
kwụsịkwara n'echi ya mgbe ha riri nri sitere n'ala ahụ. Ụmụ Izrel ahụkwaghị mánà
anya ọzọ, ma n'afọ ahụ ha riri ihe omume ubi si n'ala Kenan.

### *Ọdịda Jeriko*

13 Mgbe Joshua nọ nso obodo Jeriko, o weliri anya ya elu hụ otu nwoke ka o guzo
n'ihu ya. Nwoke a mịpụtara mma agha ya jide ya n'aka ya. Joshua jekwuru ya jụọ
ya sị ya, "Ị dịnyeere anyị ka ị dịnyeere ndị iro anyị†?"
14 Nwoke ahụ zaghachiri ya sị, "Ọ dịghị onye m dịnyeere, kama abịara m ugbu a
dịka ọchịagha usuu ndị agha ONYENWE ANYỊ." Joshua dara n'ala kpuo ihu ya n'ala
kpọọ isiala nye ya, sị ya, "Ejikerela m ime ihe ọbụla i nyere n'iwu. Onyenwe m, gịnị
ka ị chọrọ ka m mee?"
15 Ọchịagha usuu ndị agha ONYENWE ANYỊ zara sị Joshua, "Yipụ akpụkpọụkwụ gị,
n'ihi na ebe ahụ i guzo bụ ala dị nsọ." Joshua mere dịka ọ gwara ya.

# 6

1 Ma e mechiri ọnụ ụzọ e si abata Jeriko nke ọma, n'ihi ụmụ Izrel. Ọ dịghị onye
ọbụla na-apụ n'ezi, ọ dịghịkwa onye na-abata n'ime ya.

---

† **4:24** 4:24 1Ez 8:42; Abụ 106:8; 89:13; Ọpụ 15:16 ‡ **4:24** 4:24 Ọpụ 14:14; Dit 6:2; Abụ 76:6 * **5:9** 5:9 Jos 4:9;
9:6 † **5:13** 5:13 Maọbụ, ndị na-emegide anyị

2 Ma Onyenwe anyị gwara Joshua sị, “Lee, enyefela m obodo a bụ Jeriko, ya na
eze ya, na ndị dị ike ibu agha nọ n’ime ya, n’aka gị. 3 Gị na ndị agha gị zọọnụ ije
gburugburu obodo a. Unu ga-ejegharị gburugburu mgbidi obodo a otu ugbo n’ụbọchị.
Unu ga-esi otu a jegharịa ụbọchị isii. 4 Ndị nchụaja asaa, ndị ga-eji opi mpi ebule asaa
ga-ebu ụzọ gawa n’ihu. Ndị nchụaja ndị ọzọ ga-ebu igbe ọgbụgba ndụ. N’ụbọchị
nke asaa, unu ga-agba obodo ahụ gburugburu ugboro asaa. Mgbe unu na-eme nke a,
ndị nchụaja asaa ahụ ga na-afụ opi mpi ebule ha. 5 Emesịa, ndị nchụaja ga-afụsi opi
ahụ ike otu ugbo ọzọ, ha ga-afụ ya ka ọ daa ụda nke ukwu. Mgbe mmadụ niile nụrụ
ụda opi a, ha niile ga-eti mkpu nke ga-ada ezi ụda. Nke a ga-eme ka mgbidi obodo
ahụ daa. Mgbe ahụ, onye agha ọbụla ga-esite n’ebe ọbụla ọ nọ banye n’ime obodo
ahụ.”

6 Ya mere, Joshua nwa Nun kpọrọ ndị nchụaja sị ha, “Burunu igbe ọgbụgba ndụ
Onyenwe anyị ahụ, ka ndị nchụaja asaa n’ime unu werekwa opi mpi ebule buru ụzọ
na-aga n’ihu ya.” 7 Mgbe ahụ Joshua nyere ndị Izrel iwu sị ha, “Zọlịenụ ije! Gbaanụ
obodo a gburugburu, ka ndị agha na-aga n’ihu igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị.”

8 Mgbe Joshua gwachara ndị Izrel okwu, ndị nchụaja asaa ahụ bu opi ike n’aka
ha, n’ihu Onyenwe anyị, gafere n’ihu na-afụ opi ike ha. Ndị bu igbe ọgbụgba ndụ
Onyenwe anyị sochiri ha azụ. 9 Ndị agha na-aga n’ihu ndị nchụaja bụ ndị na-afụ opi
ike, ebe ndị agha ndị ọzọ na-esote igbe ọgbụgba ndụ n’azụ. N’oge a niile ha na-azọ
ije, ndị na-afụ opi ike gara n’ihu na-eme nke a. 10 Ma Joshua nyere ndị Izrel iwu sị ha,
“Unu emela mkpọtụ agha ọbụla, maọbụ kwee ka anụ olu unu, maọbụ kwuo okwu
ọbụla, tutu ruo ụbọchị m ga-asị unu tie mkpu. Mgbe m nyere unu iwu a, tienụ ezi
mkpu.” 11 Ya mere, e buuru igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị ahụ jegharịa obodo ahụ
gburugburu otu ugboro n’ụbọchị ahụ. Mgbe ha mesịrị nke a, onye ọbụla laghachiri
n’ebe ụlọ ikwu ya dị rahụ ụra abalị.

12 Joshua biliri n’isi ụtụtụ echi ya, ndị nchụaja bulikwara igbe ọgbụgba ndụ
Onyenwe anyị. 13 Ndị nchụaja asaa ahụ bu opi ike asaa ndị ahụ, na-aga n’ihu igbe
ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị, na-afụ opi ike ha na-esepụghị aka. Ndị agha nọ n’ihu
ha, ebe ndị nche na-eso ndị bu igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị n’azụ, n’oge niile
a a na-afụ opi ike ndị a na-esepụghị aka. 14 N’ụbọchị nke abụọ, ha gbara obodo ahụ
gburugburu otu ugboro, laghachikwa n’ụlọ ikwu ha. Otu a ka ha mere ruo n’ụbọchị
nke isii.

15 Ma n’isi ụtụtụ ụbọchị nke asaa, ha bilitere mgbe chi na-abọbeghị, gbaa obodo
ahụ gburugburu ugboro asaa dịka ha na-eme. Ma ọ dị iche n’ụbọchị ahụ, bụ naanị
na ha gbara obodo ahụ gburugburu ugboro asaa. 16 O ruo, n’oge njegharị nke ugboro
asaa ahụ, mgbe ndị nchụaja asaa ndị a fụsiri opi ike asaa ndị ahụ ike karịa, ka
Joshua gwara ndị Izrel sị ha, “Tienụ mkpu! N’ihi na Onyenwe anyị enyela unu obodo
a! 17 Gbuonụ ihe niile na-eku ume ndụ, n’ihi na obodo a na ihe niile dị n’ime ha
bụ ihe e doro nsọ nye Onyenwe anyị. Ma ọ bụ naanị Rehab, nwanyị akwụna ahụ
ka unu ga-ahapụ ndụ, ya na ndị ọbụla nọ n’ụlọ ya. N’ihi na o zoro ndị anyị zigara
inyochapụta obodo ahụ. 18 Ma unu onwe unu, wezuganụ onwe unu pụọ n’ebe ihe
ndị a kwadoro mbibi dị, ka unu gharakwa iweta ịla n’iyi nye onwe unu site na iwere
ihe ọbụla n’ime ha. Ma ọ bụghị otu a, unu ga-eme ka mbibi dakwasị ụlọ ikwu ụmụ
Izrel niile. 19 Ma ihe niile e ji ọlaọcha na ọlaedo kpụọ, na ihe niile e ji bronz na igwe
kpụọ, ka a ga-edo iche nye Onyenwe anyị. A ga-ewebata ha n’ụlọakụ Onyenwe anyị.”

20 Mgbe ụda opi ike ahụ dasiri ike, ndị agha tiri mkpu, na ụda opi ike ahụ. Mgbe
ndị ikom tiri oke mkpu, mgbidi ahụ dara dapịasịa, nke mere na onye ọbụla chere ihu
banye n’ime obodo ahụ, lụgbuo obodo ahụ. 21 Ha debere obodo a iche nye Onyenwe
anyị site n’iji mma agha ha gbuchapụ ihe niile dị ndụ n’obodo ahụ, ma nwoke, ma

nwanyị, ma nwantakịrị, ma okenye, ma ehi, ma atụrụ, ma ịnyịnya ibu, ihe niile dị
n'ime ya.
22 Mgbe ahụ, Joshua gwara ndị ikom abụọ ahụ buru ụzọ gaa nnyochapụta obodo
ahụ anya sị ha, “Mezuonụ nkwa unu kwere. Gaanụ n'ụlọ nwanyị akwụna, kpọpụta
ya na ndị niile dị n'ụlọ ya.” 23 Ya mere, ụmụ okorobịa abụọ ahụ bụ ndị mere nledo
ala ahụ, bara n'ụlọ ahụ, kpọpụta Rehab na nna ya na nne ya na ụmụnne ya na ndị
ikwu ya niile. Ha kpọpụtara ndị ezinaụlọ ya niile debe ha n'otu ebe nke dị n'azụ
ọmụma ụlọ ikwu ụmụ Izrel.
24 Ha kpọrọ obodo ahụ ọkụ, ya na ihe niile dị n'ime ya. Ma ha wepụtara naanị
ọlaọcha na ọlaedo, na ihe niile e ji bronz na igwe kpụọ, tinye n'ụlọakụ Onyenwe
anyị. 25 Joshua mere ka Rehab, nwanyị akwụna ahụ, na ndị ezinaụlọ ya niile dịrị
ndụ. N'ihi na Rehab zoro ndị ikom abụọ Joshua zigara, mee ka ha dị ndụ, bụ ndị
gara inyochapụta obodo Jeriko. Ya mere, o binyere ndị Izrel ruo taa.
26 Mgbe ahụ, Joshua gbara obodo Jeriko iyi sị, “Ọbụbụ ọnụ ka a na-abụ nwoke
ọbụla n'ihu Onyenwe anyị nke ga-ebili wuokwa obodo Jeriko ọzọ.
“Ndụ ọkpara[*] ya ka ọ ga-eji
tọọ ntọala ya niile,
ndụ nwa ya nke nta,
ka ọ ga-eji guzobe ọnụ ụzọ ama ya niile ọtọ.”[†]
27 Ya mere, Onyenwe anyị nọnyeere Joshua. Akụkọ a kọrọ banyere ya gbasara nke
ukwuu n'ala ahụ niile.

# 7

*Mmehie Ekan*

1 Ma ụmụ Izrel ekwesighị ntụkwasị obi n'ihe gbasara ihe ndị ahụ e debere iche
nye Onyenwe anyị. N'ihi na Ekan nwa Kami, nwa Zimri,[*] nwa Zera, onye si n'ebo
Juda gara were ụfọdụ n'ime ihe ndị ahụ. Nke a mere ka iwe wee Onyenwe anyị nke
ukwuu megide ụmụ Izrel.
2 Emesịa, Joshua si Jeriko zipụ ụfọdụ ndị mmadụ ka ha gaa Ai, obodo dị Bet-Aven
nso, n'ọwụwa anyanwụ Betel. Ọ gwara ha sị ha, “Gaanụ nnyopụta akụkụ ala ahụ
niile.” Ya mere, ndị ahụ gara nnyochapụta obodo Ai.
3 Mgbe ha lọghachiri azụ, ha gwara Joshua sị ya, “Ai bụ obodo nta. Ọ gaghị ewe
karịa puku mmadụ abụọ maọbụ atọ imeri obodo ahụ. Ọ bakwaghị uru ka anyị niile
gaa tigbuo obodo a, n'ihi na ha dị mmadụ ole na ole.” 4 N'ihi nke a, ihe dịka puku
ndị agha atọ ka e zigara imeri obodo Ai. Ma ngwangwa, ndị agha obodo Ai meriri
ndị agha ụmụ Izrel, chụọ ha ọsọ. 5 Ihe dịka iri mmadụ atọ na isii n'etiti ndị agha
Izrel ka e gburu n'agha ahụ. Ndị Ai chụrụ ha ọsọ site n'ụzọ ama obodo ruo n'ebe a
na-awa nkume, gbuo ha na mgbada ugwu ahụ. N'ihi nke a, ndị agha Izrel dara mba,
obi lọkwara ha mmiri.
6 Mgbe ahụ, Joshua na ndị okenye Izrel sitere n'obi mwute dọwaa uwe ha, daa n'ala
kpuo ihu n'ala n'ihu igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị site n'ụtụtụ ruo n'anyasị. Ha
wekwara ntụ wụkwasị onwe ha n'isi igosi obi mwute ha. 7 Mgbe ahụ kwa, Joshua
sịrị, “Ewoo, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị! N'ihi gịnị ka i ji mee ka
ndị a gabiga osimiri Jọdan, inyefe anyị n'aka ndị Amọrait, ime ka ha tigbuo anyị? Ọ
gaara adị anyị mma nke ọma ma ọ bụrụ na anyị nọdụrụ n'ofe ọzọ nke Jọdan. 8 Biko,
Onyenwe m, Gịnị ka m ga-ekwu ugbu a ụmụ Izrel sitere n'ihu ndị iro ha gbaa ọsọ?
9 N'ihi na mgbe ndị Kenan na ndị bi n'akụkụ ala ahụ ga-anụ maka mmeri e meriri

[*] **6:26** 6:26 Ya bụ, ọkpara ya ga-anwụ mgbe ọ ga-atọ ntọala n'ihi iwugharị obodo ahụ. [†] **6:26** 6:26 1Ez 16:34
[*] **7:1** 7:1 Zabdi, dị na nsụgharị Griik nke akwụkwọ nsọ e dere n'asụsụ Hibru.

anyị, ha ga-agba anyị gburugburu lụso anyị agha, bipụ aha anyị n'ụwa. Ọ bụkwa
gịnị ka ị ga-eme banyere aha ukwu gị dị ebube?"
10 Ma ONYENWE ANYỊ sịrị Joshua, "Bilie ọtọ! Gịnị bụ nke a, na ị dara kpuo ihu
n'ala? 11 Izrel emehiela. Ha emebiela ọgbụgba ndụ m nyere ha n'iwu idebe, ha
ewerela ụfọdụ n'ime ihe ndị ahụ e doro iche nye ONYENWE ANYỊ. Ọ bụghị naanị na
ha zuru ohi, ha nọkwa n'elu ya ghaa ụgha banyere ya. Ha ewerekwala ihe ndị ahụ
tinyekọta n'ihe nke aka ha. 12 Ọ bụ n'ihi nke a mere na ụmụ Izrel enwekwaghị ike
iguzo n'ihu ndị iro ha. Ọ bụkwa nke a mere ha ji tụgharịa gbaa ọsọ, n'ihi na ha
aghọọla ndị kwesiri ka e bibie. Ya mere, agaghị m anọnyere unu ọzọ, tutu ruo mgbe
unu wezugara ma mebie site n'etiti onwe unu, ihe ọbụla e debere iche maka mbibi.
13 "Bilie! Doo Izrel nsọ. Gwa ndị m okwu sị ha, 'Onye ọbụla n'etiti unu ga-ejikere
doo onwe ya nsọ maka echi. N'ihi na ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel na-ekwu sị, Ihe
ndị e doro nsọ dị n'etiti unu, Izrel. Unu apụghịkwa iguzosi ike n'ihu ndị iro unu, tutu
ruo mgbe unu ga-esite n'etiti onwe unu wezuga ihe ndị ahụ.'
14 " 'N'ụtụtụ echi, unu ga-apụta n'ebo n'ebo. Ebo ọbụla ONYENWE ANYỊ họpụtara ga-
apụta n'ikwu n'ikwu,† ikwu ọbụla ONYENWE ANYỊ họpụtara ga-apụta bịa n'ezinaụlọ
n'ezinaụlọ, ụlọ ọbụla nke ONYENWE ANYỊ họọrọ, ndị ikom ya ga-apụta n'otu n'otu.
15 Ma onye ọbụla e jidere ji ihe ndị ahụ e doro nsọ ka a ga-akpọ ọkụ, ya onwe ya,
na ihe niile ọ nwere, n'ihi o mebiela iwu ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ, meekwa ihe
jọgburu onwe ya na njọ n'Izrel.' "
16 N'ihi nke a, Joshua biliri n'isi ụtụtụ. O mere ka ebo niile dị n'Izrel bịaruo nso
n'ebo n'ebo, ebo Juda ka a họọrọ. 17 Mgbe ahụ, e mere ka ikwu niile dị n'ebo Juda
bịaruo nso, ikwu Zera ka ahọpụtara. Mgbe e mere ka ikwu Zera pụta n'ezinaụlọ ha
niile n'otu n'otu, ezinaụlọ Zimri bụ nke ahọpụtara. 18 Joshua mere ka ndị ikom niile
dị n'ezinaụlọ Zimri pụta n'otu n'otu, ma e jidere Ekan, nwa Kami, nwa Zimri, nwa
Zera onye ebo Juda.
19 Mgbe ahụ, Joshua sịrị Ekan, "Nwa m, nye ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel otuto,
nyekwa ya nsọpụrụ. Gwa m ihe i mere. Ezonarịkwala m ihe ọjọọ i mere."
20 Mgbe ahụ, Ekan zara Joshua sị ya, "Ọ bụ eziokwu! Emehiela m megide ONYENWE
ANYỊ, Chineke Izrel. Lee ihe m mere. 21 Mgbe m hụrụ n'etiti ihe ndị a kwatara n'agha,
otu uwe mwụda Babilọn‡ mara mma, na narị Shekel ọlaọcha abụọ, na mkpirisi
ọlaedo ịdị arọ ya ruru iri shekel ise. E nwere m anya ukwu n'ebe ihe ndị a dị,
chịrị ha. Lee, ezoro m ha n'ime ala n'ụlọ ikwu m, ọlaọcha ahụ dịkwa n'okpuru ya."
22 Ya mere, Joshua zigara ụfọdụ ndị ikom ka ha gaa chọọ ihe ahụ Ekan zoro. Ndị a
gara n'ụlọ ikwu ahụ, chọpụta ihe ahụ ezuru n'ohi. Dịka Ekan kwuru, ihe ikpeazụ ha
hụrụ bụ ọlaọcha ahụ. 23 Ha chịkọtara ha niile chịtara ha Joshua. Mgbe ha bịaruru
ebe Joshua na ndị Izrel niile nọ, ha chịsara ya n'ala n'ihu ONYENWE ANYỊ.
24 Mgbe ahụ, Joshua na ndị Izrel niile, duuru Ekan, nwa Zera, chịkọrọkwa ọlaọcha
ahụ, na uwe mwụda ahụ, na mkpirisi ọlaedo ahụ, na ụmụ ya ndị ikom na ụmụ ya
ndị inyom, na ehi na ịnyịnya ibu ya, na igwe ewu na atụrụ ya, na ụlọ ikwu ya, na
ihe niile o nwere, gaa na Ndagwurugwu Akọ. 25 Mgbe ahụ, Joshua sịrị, "Gịnị mere i
ji wetara anyị nsogbu ndị a? ONYENWE ANYỊ ga-eme ka nsogbu dakwasịkwa gị onwe
gị taa."
Ndị Izrel niile weere nkume tugbuo ha n'ebe ahụ. Emesịa, a kpọrọ ha ọkụ. 26 Ha
tụkọtara ọtụtụ nkume tụkwasị ya n'elu Ekan. Nkume ndị a dị n'ebe ahụ ruo taa. Ọ
bụkwa n'ụzọ dị otu a ka iwe ọkụ ONYENWE ANYỊ ji dajụọ. Ya mere, e ji akpọ ebe ahụ
Ndagwurugwu Akọ ruo taa.

---

† **7:14** 7:14 Ọ bụ nkume abụọ a na-eji ajụta ase n'ihu Chineke, nke a na-akpọ Urim na Tumim, ka ha ji chọpụta eziokwu banyere ihe mere. Ọpụ 28:30; Lev 8:8; Ọnụ 27:21; 1Sa 28:6; Ezr 2:63; Neh 7:63-65 ‡ **7:21** 7:21 N'asụsụ ndị Hibru, ihe e ji mara Babilọn bụ Shaịna. Jen 10:10

# 8

*Mbibi Ai*

1 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị sịrị Joshua, “Atụla egwu, adakwala mba. Chịrị ndị agha
gị niile gaa Ai, n’ihi na ugbu a, unu onwe unu ga-emeri ha. Aga m eme ka i merie eze
ndị Ai, na ndị ya na obodo ya, na ala ya. 2 Ị ga-emekwa obodo Ai na eze ya ihe i mere
Jeriko na eze ya. Ma ihe dị iche na nke a bụ na unu ga-edebere onwe unu ihe niile
unu kwatara n’agha, ya bụ anụ ụlọ niile na ngwongwo obodo ahụ niile. Jikerenụ
ibuso ha agha. Ọ bụkwa n’azụ obodo ha ka unu ga-esi lụso ha agha.”
3 Mgbe ahụ, Joshua na ndị agha ya niile, biliri gaa ibuso Ai agha. Joshua họpụtara
iri puku ndị agha atọ zipụ ha n’abalị 4 o nyere ha iwu a, “Lee! Unu ga-aga zoo onwe
unu n’ọhịa dị n’azụ obodo Ai. Unu ezola onwe unu n’ebe dị anya site n’obodo ahụ,
kama nọọnụ nso, nọọkwanụ na njikere. 5 Mụ na ndị niile so m ga-abịaru obodo ahụ
nso. Mgbe ha ga-apụta ịlụso anyị ọgụ dịka ha mere na mbụ, anyị ga-agbakwa ọsọ
n’ihu ha, 6 Ha ga-achụ anyị ọsọ, tutu ruo mgbe anyị mere ka ha niile hapụ n’obodo ha
pụta. N’ihi n’uche ha, ha ga-asị, ‘Ha na-agbara anyị ọsọ dịka ha mere na mbụ, bịanụ
ka anyị chụọ ha ọsọ gbuo ha.’ Ya mere, dịka anyị na-agbapụ site n’ebe ha nọ, 7 unu
ga-esite n’ebe unu zoro onwe unu bilie, nweta obodo ahụ, n’ihi na Onyenwe anyị
Chineke unu ga-enyefe ya n’aka unu. 8 Mgbe unu weere obodo ahụ, unu ga-esunye
obodo ahụ ọkụ. Meenụ ihe Onyenwe anyị nyere n’iwu. Hụnụ na unu mezuru ihe
ndị a m nyere unu n’iwu.”
9 Mgbe Joshua nyesịrị ha iwu ndị a, o zipụrụ ha. Ha hapụkwara n’abalị ahụ gaa
zoo onwe ha n’ọhịa dị n’etiti Betel na ọdịda anyanwụ Ai. Ma Joshua na ndị agha ndị
ọzọ fọdụrụ nọdụrụ n’abalị ahụ n’etiti ndị Izrel.
10 N’isi ụtụtụ echi ya, Joshua chịkọtara ndị agha ya, ya na ndị ndu Izrel gara n’ihu
ha, ruo Ai. 11 Ndị agha niile ha na ya so, chere ihu ha gaa nso obodo ruo n’ihu
ya. Ha mara ụlọ ikwu ha n’akụkụ ugwu obodo Ai, ndagwurugwu bụ ihe kewara ha
na obodo ahụ. 12 Joshua chịịrị ihe ruru puku ndị agha ise, zoo ha n’akụkụ ọdịda
anyanwụ obodo ahụ, n’etiti Betel na Ai. 13 Ya mere, ndị agha were ọnọdụ ha n’usoro,
ndị ga-ebu agha nọ n’akụkụ ugwu, ndị niile zoro onwe ha n’akụkụ ọdịda anyanwụ
nke obodo ahụ. Ma n’abalị ahụ, Joshua gara nọdụ na ndagwurugwu ahụ.
14 Mgbe eze Ai hụrụ nke a, ya na ndị ikom obodo ahụ niile mere ngwangwa pụọ
n’isi ụtụtụ izute ndị Izrel n’otu ebe, nke chere ihu n’Araba. Ma ọ mataghị na o nwere
ndị agha zubere imegide ya ndị zoro onwe ha n’ọhịa dị n’azụ obodo. 15 Joshua na
ndị Izrel niile mere ka ha chụghachi ha azụ site n’ihu ha, ha gbara ọsọ na-aga akụkụ
ọzara ahụ niile dịka ndị e meriri emeri. 16 N’ihi nke a, a kpọkuru ndị ikom niile nọ
n’ime obodo Ai sị ha pụta bịa chụọ ụmụ Izrel ọsọ, ha chụrụ Joshua na-aga, e si otu a
rapụta ha n’ebe dị anya site n’obodo ahụ. 17 Ọ dịkwaghị otu onye nwoke nke fọdụrụ
na Ai maọbụ na Betel. Ha hapụkwara obodo ahụ ka o ghere oghe, gaa ịchụ ndị Izrel
ọsọ.
18 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị kpọrọ Joshua sị ya, “Setịpụ ùbe dị gị n’aka n’ụzọ
Ai, n’ihi na aga m enye gị obodo a.” Joshua mere dịka Onyenwe anyị gwara ya.
19 Mgbe ndị agha ahụ zoro onwe ha n’ime ọhịa lere anya hụ na Joshua setịrị aka ya,
ngwangwa, ha wụpụtara site n’ebe ha zoro onwe ha, gbara ọsọ gbaba n’obodo Ai,
merie ya, mụnye ya ọkụ.
20 Ma mgbe ndị agha Ai lere anya n’azụ, hụ ka anwụrụ ọkụ si n’obodo ha na-alali
elu, ha dara mba n’ime onwe ha. Ohere ọbụla adịghịkwa nye ha ịgbalaga gaa otu
ụzọ maọbụ ụzọ ọzọ. N’ihi na ndị Izrel ahụ buuru ụzọ gbaa ọsọ, ndị ahụ gbara na-aga
n’ọzara, chigharịrị bido ịlụso ndị agha Ai ahụ na-achụ ha ọsọ ọgụ. 21 N’ihi na mgbe
Joshua na ndị agha Izrel so ya lepụrụ anya hụ ka anwụrụ ọkụ si n’obodo Ai na-arịgo
elu, ha matara na ndị ha zoro onwe ha n’ọhịa abanyela obodo Ai, lụgbuo ya. Ya

mere, Joshua na ndị agha so ya tụgharịrị bido igbu ndị agha obodo Ai. 22 Ndị agha
Izrel ahụ gara kpọọ obodo ahụ ọkụ pụtakwara, site n'obodo ahụ, bido ịlụso ndị agha
Ai ọgụ. Nke a mere ka ndị agha Ai nọdụ n'etiti ụzọ ndị agha Izrel abụọ. Otu n'ihu
ha, ndị nke ọzọ n'azụ ha. Ya mere, ndị agha Izrel menyụrụ ha anya, gbuo ha, ruo na
ọ dịkwaghị otu onye fọdụrụ n'ime ha, maọbụ onye gbapụrụ agbapụ. 23 Naanị eze Ai
ka e jidere na ndụ. A kpọtakwara ya bịaruo n'ebe Joshua nọ.
24 Mgbe ndị agha Izrel gbusịrị ndị agha Ai niile nọ n'ọhịa na n'ọzara, ha lọghachiri
azụ gbuo ndị niile fọdụrụ n'ime obodo ahụ. 25 Ndị niile e gburu n'ụbọchị ahụ, ma
nwoke ma nwanyị dị puku iri na abụọ. Ọ bụkwa ndị niile nọ n'obodo ahụ ka e gburu.
26 N'ihi na Joshua nọgidere setịpụ ùbe o ji n'aka ya, megide obodo Ai, tutu e bibie
ndị niile nọ n'obodo ahụ kpamkpam. 27 Ma ndị Izrel kwaara anụ ụlọ, na ihe nkwata
n'agha nke obodo ahụ, dịka okwu ONYENWE ANYỊ nyere Joshua n'iwu si dị.
28 Ya mere, Joshua kpọrọ obodo Ai ọkụ, mee ya ka ọ ghọọ mkpọmkpọ ebe nke
tọgbọrọ n'efu ruo taa. 29 Ma Joshua kwụbara eze ndị Ai n'elu osisi site n'ụtụtụ ruo
n'anyasị. Mgbe anyanwụ dara, Joshua nyere iwu ka e wedata ozu eze Ai site n'osisi
ahụ, tụsa ya n'ihu ọnụ ụzọ e si abata obodo ahụ. Emesịa, ha tụkọtara ọtụtụ nkume
n'elu ya. Nkume ahụ ha tụkọtara dịkwa n'ebe ahụ ruo taa.

### *Ngụpụta akwụkwọ iwu n'ugwu Ebal*

30 Mgbe ahụ, Joshua wuuru ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel ebe ịchụ aja n'elu ugwu
Ebal, 31 dịka Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ nyere ndị Izrel n'iwu. O wuru ya dịka ihe
e dere n'akwụkwọ iwu Mosis si dị, ebe ịchụ aja a na-ejighị nkume a wara awa wuo,
nkume a na-ejighị ngwa ọrụ igwe waa. N'elu ebe ịchụ aja a ka ha chụụrụ ONYENWE
ANYỊ aja nsure ọkụ na aja udo. 32 Ma mgbe ndị Izrel nọ na-ele anya, Joshua depụtara
iwu ndị ahụ Mosis nyere ha n'elu nkume. 33 Izrel niile, ha na ndị okenye ha, na ndị
ọchịagha ha, na ndị ikpe ha, guzo n'akụkụ abụọ nke igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE
ANYỊ, na ncherita ihu ndị nchụaja, bụ ndị Livayị ndị na-ebu ya. Ma ndị ọbịa bi n'etiti
ha, ma ndị amụrụ n'ala ahụ nọ n'ebe ahụ. Ọkara n'ime ha gara guzo n'akụkụ ugwu
Gerizim, ọkara ndị ọzọ guzoro n'akụkụ ugwu Ebal, dịka Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ
nyere n'iwu na mbụ, na ha ga-agọzi ndị Izrel.
34 Emesịa, Joshua gụpụtara na ntị ha,[*] okwu niile nke iwu ahụ, ya na ngọzị na
ọbụbụ ọnụ so ya,[†] dịka ihe niile e dere n'Akwụkwọ[‡] Iwu si dị. 35 Iwu niile Mosis
nyere ha ka Joshua gụpụtara na ntị ndị Izrel niile. Ndị inyom na ụmụntakịrị, na ndị
ọbịa niile bi n'etiti ụmụ Izrel so nọkọọ n'oge a ndị Izrel niile zukọrọ.

## 9

### *Aghụghọ ndị Gibiọn*

1 Mgbe eze ndị niile bi n'akụkụ ọdịda anyanwụ osimiri Jọdan, nụrụ banyere ihe
ndị a, ya bụ, ndị niile bi n'ala ugwu ugwu n'ọdịda anyanwụ ndagwurugwu, na ndị bi
ogologo akụkụ osimiri Mediterenịa ruo Lebanọn, eze ndị Het na nke ndị Amọrait na
nke ndị Kenan na nke ndị Periz na nke ndị Hiv na nke ndị Jebus, 2 ha niile zukọtara
ibu agha megide Joshua na ụmụ Izrel.
3 Ma mgbe ndị Gibiọn[*] nụrụ ihe Joshua mere Jeriko na Ai, 4 ha sitere n'aghụghọ
chọọ ụzọ ha ga-esi zọpụta onwe ha. Ha zipụrụ ndị ozi, ndị bokwasịrị ịnyịnya ibu
ha akpa mere ochie, na karama akpụkpọ mere ochie, nke a duchiri ebe dị iche iche
n'ahụ ha. 5 Ndị ahụ yikwasịrị n'ụkwụ ha akpụkpọụkwụ kara nka nke a kwachiri
akwachi, na uwe mere nnọọ ochie. Achịcha niile ha ji bụ nri ha, kpọrọ nkụ maakwa
ebu. 6 Mgbe ha bịaruru n'ebe ndị Izrel mara ụlọ ikwu ha na Gilgal, ha jekwuuru

* **8:34** 8:34 Dit 31:11; Neh 8:3 † **8:34** 8:34 Dit 28:2,15,45; 29:20-21; 30:19 ‡ **8:34** 8:34 Jos 1:8 * **9:3** 9:3 Ọ
ga-ewe onye si Jerusalem na-aga Gibiọn, ije njem ruru iri kilomita.

Joshua, gwa ya na ndị Izrel okwu sị ha, “Anyị si n’ala dị anya bịa. Ugbu a, biko anyị
chọrọ ka anyị na unu gbaa ndụ.”

7 Ndị ikom Izrel zaghachiri sị ndị Hiv† ahụ, “Olee otu anyị si amata na unu ebighị
anyị nso? Ma eleghị anya unu bi anyị nso, anyị na unu ọ ga-esi aṅaa gbaa ndụ?”

8 Ha zara Joshua sị ya, “Anyị bụ ndị ohu unu.”

Ma Joshua jụrụ ha ajụjụ sị, “Olee ndị unu bụ? Ebee ka unu si bịa?”

9 Ha zara ya sị, “Ala anyị, ebe ndị ohu gị si bịa dị anya nke ukwuu. Anyị bịara n’ihi
na anyị anụla akụkọ banyere Onyenwe anyị Chineke unu, na ihe niile o mere n’Ijipt.
10 Anyị anụkwala ihe niile o mere eze abụọ ndị Amọrait, ndị nọ n’ọwụwa anyanwụ
Jọdan, Saịhọn eze Heshbọn, na Ọg eze Bashan, onye chịrị n’Ashtarọt. 11 Ndị okenye
anyị na ndị niile bi n’ala anyị sịrị anyị, ‘Werenụ ihe unu ji aga njem, jekwurunụ ndị
Izrel sị ha, “Anyị bụ ndị ohu unu, kwerenụ ka anyị na unu gbaa ndụ.” ’ 12 Lee achịcha
ndị a bụ nke anyị ji mgbe anyị hapụrụ ala anyị. Ha dị ọkụ mgbe anyị hapụrụ ụlọ
anyị ịbịa njem a, n’ihi na e si n’ebe a na-eghe ya wepụta ya, ma ugbu a, dịka unu
hụrụ, ha akpọọla nkụ, bidokwa ịma ebu. 13 A gbajuru karama akpụkpọ anyị ndị a
mmanya ọhụrụ mgbe anyị hapụrụ, ma ugbu a, karama ndị a adọwaala. Uwe anyị,
na akpụkpọụkwụ anyị, emeela ochie n’ihi ịga ije dị anya.”

14 Ndị ikom Izrel ritụrụ ụfọdụ n’ime ihe oriri ha ji bịa, ma ha ajụtaghị ihe bụ uche
Onyenwe anyị. 15 Mgbe ahụ, Joshua na ndị ahụ gbara ndụ udo ikwe ka ha dị ndụ.
Ndịisi nzukọ Izrel mesiri ọgbụgba ndụ ahụ ike site n’ịṅụ iyi.

16 Mgbe ụbọchị atọ gasịrị site na mgbe ụmụ Izrel na ndị Gibiọn gbara ndụ, ndị Izrel
nụrụ na ndị Gibiọn bụ ndị agbataobi ha, ndị bi ha nso. 17 Ya mere, ndị Izrel buliri ije
gaa ịchọpụta ebe ndị a si bịa, si otu a bịaruo obodo ha niile n’ụbọchị nke atọ. Aha
obodo ha bụ Gibiọn, Kefira, Beerọt na Kiriat Jearim. 18 Ma ndị Izrel ebusoghị ha agha
n’ihi na ndịisi nzukọ Izrel ejirila aha Onyenwe anyị, Chineke Izrel ṅụọ iyi idebe ha
ndụ.

Ma nzukọ Izrel niile tamuru ntamu megide ndịisi ha n’ihi ọgbụgba ndụ a. 19 Ma
ndịisi Izrel kwuru sị, “Anyị aṅụọla iyi n’ihu Onyenwe anyị, Chineke Izrel sị, na anyị
agaghị emetụ ha aka, ugbu a kwa anyị agaghị eme ha ihe ọbụla. 20 Ma nke a ka anyị
ga-eme. Anyị ga-ekwe ka ha dị ndụ, n’ihi na ọ bụrụ na anyị emezughị iyi anyị ṅụrụ,
iwe Onyenwe anyị ga-adakwasị anyị niile.” 21 Ya mere, ndịisi kwukwara sị, “Anyị
ga-ahapụ ha ka ha dịrị ndụ, kama ha ga-aghọ ohu ndị Izrel, ndị ga na-awara anyị
nkụ na ndị ga na-ekutere anyị mmiri.” N’ụzọ dị otu a, e mere ka ha dịrị ndụ.

22 Emesịa, Joshua ziri ozi kpọọ ndịisi obodo Gibiọn jụọ ha ajụjụ sị, “Gịnị mere unu
ji ghọgbuo anyị site n’ịgwa anyị, ‘Anyị bi n’ebe dịpụrụ anya, site n’ebe unu bi,’ ebe
ọ bụ na unu bi anyị nso? 23 Ugbu a, unu ga-abụ ndị a bụrụ ọnụ. Site n’ụbọchị taa
gaa n’ihu, unu aghọọla ndị ohu anyị, ndị ga na-awara anyị nkụ mgbe niile, na ndị ga
na-ekutere anyị mmiri nke anyị ga-eji rụọ ọrụ n’ụlọnsọ Chineke m.”

24 Ha zara Joshua sị, “Anyị mere nke a n’ihi na agwala anyị na Onyenwe anyị
Chineke gị nyere Mosis iwu sị ya merie ala ndị a niile, ma kpochapụ ndị niile bi
n’ime ya. Ọ bụ nke a mere ụjọ ji tụọ anyị. Ọ bụkwa ya mere anyị ji mee ihe dị otu a,
n’ihi ichebe ndụ anyị. 25 Ma ugbu a, anyị dị unu n’aka. Unu nwere ike ime anyị ihe
dị unu mma.”

26 N’ihi nke a, Joshua ekweghị ka ndị Izrel gbuo ha. 27 Joshua mere ha ndị ọwa nkụ
na ndị ose mmiri nye ụmụ Izrel, na ịhụkwa banyere ihe ndị dị mkpa n’ebe ịchụ aja
Onyenwe anyị, n’ebe ahụ Onyenwe anyị ga-ahọpụta. Ọ bụkwa nke a ka ha bụ ruo
taa.

---

† **9:7** 9:7 Ndị Hiv, bụkwa ndị a na-akpọ ndị Amọrait, si Mesopotamịa pụta. Jos 9:1; 10:5; 13:4

# 10

### *Nguzo nke anyanwụ*

1 Mgbe Adoni-Zedek, eze Jerusalem nụrụ na Joshua emeriela Ai, laa ya n'iyi,
gbukwaa eze ya, dịka ọ lara Jeriko na eze ya n'iyi, mgbe ọ hụkwara na ndị Gibiọn
na ndị Izrel emeela udo, na ha bikwa nso ndị Izrel, 2 ọ tụrụ egwu nke ukwuu, ya na
ndị ya. N'ihi na Gibiọn bụ obodo a ma ama, dịka otu n'ime obodo ndị eze, ndị ikom
ya bụkwa ndị dị ike, n'ihi na ọ dịkwa ukwuu karịa Ai. Ndị ikom ya niile maara otu
e si ebu agha. 3 Ya mere, Adoni-Zedek, eze Jerusalem ziri ozi zigara eze ndị a: Homa,
eze Hebrọn, Piram, eze Jamut, Jafia, eze Lakish, na Debịa, eze Eglọn, na-asị, 4 "Bịanụ
nyere m aka, ka anyị gaa tigbuo Gibiọn, n'ihi na ha na Joshua na ụmụ Izrel emeela
udo."

5 Mgbe ahụ, eze ise ndị Amọrait ndị a, eze Jerusalem, na eze Hebrọn, na eze Jamut,
na eze Lakish na eze Eglọn chịkọtara ndị agha. Ha na ndị agha ha gara were ọnọdụ
ha imegide Gibiọn, ha lụsokwara ha ọgụ.

6 Ma ndị Gibiọn mere ngwangwa zigara Joshua ozi n'ụlọ ikwu dị na Gilgal sị ya,
"Bịa nyere ndị ohu gị aka. Bịa ngwangwa zọpụta anyị, n'ihi na eze niile nke ndị
Amọrait, ndị bi n'ugwu, abịala n'ebe a, ha na ndị agha ha ibuso anyị agha."*

7 Joshua na ndị agha ya niile, tinyere ndị ahụ niile ibu agha were anya, hapụrụ
Gilgal gawa ịzọpụta Gibiọn. 8 Ma Onyenwe anyị gwara Joshua okwu sị ya, "Atụla
ha egwu! N'ihi na ha bụ ndị e meriri emeri. Enyela m ha n'aka unu ịla ha n'iyi. Ọ
dịkwaghị otu onye n'etiti ha nwere ike iguzo n'ihu unu."

9 Joshua bịakwutere ha na mberede, n'ihi na ogologo abalị niile ka o si Gilgal gaa
njem. 10 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị tinyere ha n'ọnọdụ ọgbaaghara mgbe ha zutere
ndị Izrel. Nke a mere ka ndị agha Izrel lụgbuo ha na Gibiọn. N'ezie, ọnụọgụgụ ndị
ha tigburu na Gibiọn dị nnọọ ukwuu. Ma ha chụkwara ndị fọdụrụ ọsọ chụruo ha
Bet-Horon, na Azeka, na Makeda, na-egbu ha n'ụzọ. 11 Mgbe ha si n'ihu Izrel gbapụ
ọsọ n'ụzọ nrịda Bet-Horon na-aga Azeka, Onyenwe anyị sitere n'elu na-atụdakwasị
ha ọtụtụ mkpụrụ mmiri. Ọnụọgụgụ ndị mkpụrụ mmiri ndị a dagburu dị ukwuu
karịa ndị ụmụ Izrel ji mma agha ha gbuo.

12 N'ụbọchị ahụ, Onyenwe anyị mere ka ndị Izrel lụgbuo ndị Amọrait. Joshua
gwara Onyenwe anyị okwu n'ihu ndị Izrel niile sị,

"Gị, anyanwụ, guzo n'otu ebe na mbara eluigwe Gibiọn.
Gị, ọnwa, guzokwa n'otu ebe na mbara eluigwe na Ndagwurugwu Aijalon"
13 Anyanwụ guzoro,
ọnwa guzokwa.
Ha abụọ adaghị tutu ruo mgbe ndị agha mba ahụ gbuchasịrị ndị iro ha.
Ihe banyere akụkọ agha a ka e dere n'akwụkwọ Jasha.

Ya mere, anyanwụ guzoro n'otu ebe n'etiti mbara eluigwe. Ọ nọkwa n'otu ebe ihe
dịka otu ụbọchị zuru ezu. 14 O nweghị ụbọchị ọzọ dịka ụbọchị ahụ n'oge niile gara
aga. Ọ dịbekwaghị ụbọchị yiri ụbọchị ahụ ruo taa. Ọ bụ ụbọchị Onyenwe anyị mere
ka anyanwụ na ọnwa kwụsị, n'ihi naanị ekpere otu nwoke. N'ihi na Onyenwe anyị
na-eburu Izrel agha.

15 Joshua na ndị Izrel niile laghachiri n'ọmụma ụlọ ikwu dị na Gilgal.

### *Ogbugbu ndị eze Amọrị ise*

16 Ma n'oge ahụ a na-alụ agha ahụ, ndị eze ise ahụ si n'ọgbọ agha gbapụ, zoo onwe
ha n'ime ọgba nkume dị na Makeda. 17 Mgbe ozi ruru Joshua ntị, na a chọtala eze ise
ndị ahụ, ebe ha zoro onwe ha n'ime ọgba nkume dị na Makeda, 18 Joshua nyere iwu

* **10:6** 10:6 Ọgbụgba ndụ ahụ dị n'etiti ụmụ Izrel na ndị Gibiọn, pụtara na Joshua ga na-enyere ha aka, n'oge ọbụla e nwere ndị bịara ibuso ha agha.

sị, “Werenụ nkume buru ibu mechie ọnụ ọgba nkume ahụ. Debekwanụ ndị nche
n’ebe ahụ, ka ha chee ndị eze ahụ nche. 19 Ma unu eguzola n’ebe ahụ n’onwe unu,
chụsonụ ndị iro unu, na-egbukwanụ ha site n’azụ. Unu ekwela ka ha gbaba n’obodo
ha dị iche iche, n’ihi na ONYENWE ANYị Chineke unu enyefeela ha n’aka unu.”
20 Ya mere, Joshua na ndị Izrel tigbuchara ha kpamkpam n’ụzọ dị egwu, ọ bụ naanị
mmadụ ole na ole n’ime ha nwere ike gbaba n’ime obodo ha e wusiri ike. 21 Ndị agha
niile laghachikwuru Joshua n’ọmụma ụlọ ikwu ha dị na Makeda n’udo. Ọ dịkwaghị
onye ọbụla nwara anwa kwuo okwu megide ndị Izrel n’ala ahụ.
22 Mgbe ahụ Joshua sịrị, “Megheenụ ọnụ ọgba nkume ahụ, wepụtanụ ndị eze ise
ahụ.” 23 Ya mere, ha kpọpụtara ndị eze ise ahụ site n’ọgba nkume ahụ, ha bụ eze
Jerusalem, na eze Hebrọn, na eze Jamut, na eze Lakish, na eze Eglọn. 24 Mgbe a
kpụtara ha n’ihu Joshua, ọ kpọrọ ndị ikom Izrel niile ka ha zụkọta, ọ gwara ndịisi
agha bụ ndị so ya jee, “Bịanụ nso, zọkwasịnụ ụkwụ unu n’olu eze ndị a.” Ya mere,
ha bịara zọkwasị ụkwụ ha n’olu ha.
25 Joshua sịrị ha, “Unu atụla egwu, maọbụ daa mba. Dịnụ ike, nweekwanụ ume,
n’ihi na otu a ka ONYENWE ANYị ga-eme ndị iro unu niile bụ ndị na-ebuso unu agha.”
26 Emesịa, Joshua ji mma agha ya gbuo eze ise ndị a. Ọ kwụbara ha n’elu osisi ise,
ebe ha nọ ruo n’oge anyasị.
27 Ma mgbe anwụ bidoro ịda, Joshua nyere iwu ka e site n’osisi wedata ozu ndị
eze ise ahụ, tụba ha n’ime ọgba nkume ahụ, ebe ha zoro onwe ha. Ha ji nkume dị
ukwuu mechie ọnụ ọgba nkume ahụ. Nkume ukwuu ahụ dịkwa n’ebe ahụ ruo taa.

*Obodo ndị ọzọ Joshua lụgburu*

28 N’otu ụbọchị ahụ, Joshua lara obodo Makeda n’iyi, jiri mma agha gbuo eze ya,
na onye ọbụla bi n’ime ya. Ọ dịkwaghị onye ọbụla nọ n’ime obodo ahụ ọ hapụrụ
ndụ. Otu ihe ahụ o mere eze Jeriko ka o mere eze Makeda.
29 Joshua na ndị Izrel niile so ya sitere na Makeda gaa na Libna lụso ya agha.
30 ONYENWE ANYị nyekwara obodo a na eze ya n’aka Izrel. Joshua weere mma agha
ya tigbuo mmadụ niile dị n’ime ya. O nweghị onye ọbụla nke ọ hapụrụ ndụ n’ebe
ahụ. O mekwara eze obodo a ihe o mere eze Jeriko.
31 Site na Libna, Joshua na ndị Izrel gara ruo Lakish, lụso ha agha. 32 Ma ONYENWE
ANYị nyefere Lakish n’aka ụmụ Izrel. Joshua lụgburu ya n’ụbọchị nke abụọ ya. Ha
weere mma agha ha tigbuo mmadụ niile bi n’ime ya, dịka ha mere Libna. 33 Ma mgbe
a na-alụ agha na Lakish, Horam eze Gaza, duuru ndị agha ya bịa inyere ndị obodo
Lakish aka, ka ha si otu a gbochie ndị agha Izrel ịbata n’ime ya. Ma ndị agha Joshua
gburu ya, laa ndị agha ya niile n’iyi, ruo na ọ fọdụghị otu onye.
34 Emesịa, n’ụbọchị ahụ kwa, Joshua na ndị Izrel hapụrụ Lakish gaa Eglọn lụgbuo
ya. 35 Ha were obodo ahụ n’otu ụbọchị ahụ, jiri mma agha ha tigbuo mmadụ niile dị
n’ime obodo ahụ, dịka ha mere na Lakish.
36 Mgbe Joshua na ndị Izrel sitere n’Eglọn pụọ, ha gara Hebrọn buso ya agha. 37 Ha
weere obodo ahụ, jiri mma agha gbuo eze ha, na obodo nta niile gbara ya gburugburu.
Ha gburu ndị mmadụ niile bi n’ime ya dịka ha mere n’Eglọn. Ọ dịkwaghị otu onye
a hapụrụ ndụ.
38 Joshua na ndị Izrel niile ya na ha so laghachiri azụ gaa busoo Debịa agha. 39 Ha
meriri obodo a, na obodo nta niile gbara ya gburugburu, na eze ya, jiri mma agha
gbuchapụ ha niile, mmadụ niile nọ n’ime ya ka ha gburu kpamkpam. Ha ahapụghị
onye ọbụla ndụ, ha mere Debịa na eze ya dịka ha mere Libna na eze ya, na Hebrọn
kwa.
40 Ya mere, Joshua na ndị agha ya meriri obodo ahụ niile, na ala ahụ niile. O meriri
eze niile nke obodo ugwu ahụ, na ndị bi na Negeb, na mgbada ala ugwu dị n’ọdịda
anyanwụ, na mgbada ala ugwu ugwu ahụ. O gbuchara mmadụ niile bi n’ala ahụ,

dịka ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel si nye ya iwu. [41] Joshua tigburu ha niile site na
Kadesh Banea ruo Gaza, sitekwa na Goshen† ruo Gibiọn. [42] Eze ndị a niile, na ala
ha niile, ka Joshua meriri n'otu oge ibu agha, n'ihi na ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel
na-alụrụ Izrel agha.
[43] Emesịa, Joshua na ndị Izrel niile laghachiri n'ọmụma ụlọ ikwu ha dị na Gilgal.

# 11

*Mmeri nke ndị eze si n'ugwu*

[1] Mgbe Jabin eze Hazọ nụrụ nke a, o ziri ozi zigara Jobab eze ndị Madọn, zigakwara
ndị eze obodo Shịmrọn na Akshaf, [2] na ndị eze bi n'obodo ugwu ugwu, na ndị bi
n'ime Araba, na ndịda Kineret, na ndagwurugwu ọdịda anyanwụ, na n'ime Nafọt
Doa, nke dị n'ọdịda anyanwụ, [3] zigakwara eze ndị Kenan ndị bi n'ọwụwa anyanwụ,
na ọdịda anyanwụ, zigakwara eze ndị Amọrait, na eze ndị Het, na eze ndị Periz, na
nke ndị Jebus nke dị n'ala ugwu. O zigakwara eze ndị Hiv ndị bi na ndịda Hemon,
na mpaghara Mizpa. [4] Ndị eze a niile kwekọrịtara chịkọtaa ndị agha ha niile n'otu.
Ndị agha ha chịkọtara dị ukwuu dịka aja dị n'akụkụ osimiri. Ha ji ọtụtụ ịnyịnya na
ọtụtụ ụgbọ agha. [5] Eze ndị a niile zukọrọ maa ụlọ ikwu ha n'akụkụ mmiri Merọm,
maka ibuso Izrel agha.
[6] Ma ONYENWE ANYỊ sịrị Joshua, "Atụla ha egwu, n'ihi na echi, n'oge dịka ugbu a,
aga m ewere ha niile n'ọnọdụ ndị egburu egbu nyefee ha n'aka Izrel. Ị ga-ebipụ
nkwonkwo ụkwụ ịnyịnya ha niile, kpọọkwa ụgbọ agha ha niile ọkụ."
[7] Ya mere, Joshua na ndị agha ya niile bịaruru akụkụ mmiri Merọm na mberede,
lụso ha agha. [8] ONYENWE ANYỊ nyefere ndị agha ha n'aka ndị Izrel, ndị lụgburu ha,
chụọ ha ọsọ ruo n'oke ala Saịdọn, ruokwa ebe a na-akpọ Mizrefot Maim, na ruo
n'akụkụ ọwụwa anyanwụ, n'ime Ndagwurugwu Mizpa. Ya mere, o nweghị ọ bụladị
otu onye iro a hapụrụ ndụ n'agha ahụ. [9] Joshua na ndị agha ya mere ha ihe ONYENWE
ANYỊ kwuru na a ga-eme ha. Ha gbupụrụ nkwonkwo ụkwụ ịnyịnya ha niile, surekwaa
ụgbọ agha ha niile n'ọkụ.
[10] Mgbe ahụ, Joshua laghachiri azụ busoo Hazọ agha merie ya, were mma agha
gbuo eze ya, n'ihi na Hazọ bụrịị isi obodo alaeze ahụ niile. [11] Ha ji mma agha gbuo
ndị niile bi n'obodo ahụ, bibie ha kpamkpam, ọ dịghị onye a hapụrụ nke na-eku ume.
O sukwara Hazọ ọkụ.
[12] Joshua weere obodo niile nke ndị eze ahụ na ndị eze ha niile,* jiri mma agha
gbuchapụ ha. Ọ lakwara ha niile n'iyi, dịka Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ nyere n'iwu.
[13] Ma ndị Izrel esughị obodo ọbụla n'ime ndị ahụ niile e wuru na mkputamkpu ala
ọkụ, karịakwa obodo Hazọ, nke Joshua kpọrọ ọkụ. [14] Ihe niile a kwatara n'agha
n'obodo ndị a, na anụ ụlọ ha niile, ka ndị Izrel weere. Ma ha gburu mmadụ niile.
Ha ahapụghị ọ bụladị otu onye ndụ. [15] N'ihi na nke a bụ iwu ONYENWE ANYỊ nyere
Mosis onyeozi ya. Mosis nyekwara Joshua otu iwu a. Ugbu a Joshua emeela dịka a
gwara ya. O mezuru ihe ndị a niile, bụ nke ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu.
[16] Ya mere, Joshua meriri ala ahụ niile, bụ ala ugwu ugwu ahụ, na ala Negeb, na ala
Goshen, na obosara ala ọdịda anyanwụ ahụ niile, na ala Araba, na ala ugwu ahụ niile,
na ala ahụ dị na mgbada ugwu Izrel. [17] N'ihi nke a, ala ndị Izrel nwere gbasara n'ụzọ
niile site n'ugwu Halak, nke dị nso na Sia, ruo Baal-Gad nke dị na Ndagwurugwu
Lebanọn, na ndịda ugwu Hemon. Joshua jidere ma gbukwaa ndị eze ndị ala ahụ
niile. [18] O were Joshua ogologo oge imeri obodo ndị a niile na eze ha n'agha. [19] Ọ
dịkwaghị obodo ọzọ e mere ka ha na ụmụ Izrel dị n'udo karịa naanị ndị Hiv, ndị bi

† **10:41** 10:41 Ka anyị ghara iche na Goshen nke a, bụ otu ihe ya na nke ahụ dị n'akụkụ mmiri n'ala Ijipt, nke a dị ndịda ala Palestia. Jos 11:16; 15:51 * **11:12** 11:12 Dit 7:2; 20:16

na Gibiọn. Obodo ndị ọzọ niile ka a lara n’iyi. 20 N’ihi na ọ bụ ONYENWE ANYỊ, n’onwe
ya, mere ka ndị eze ahụ nyịchie obi ha, ka ha lụso Izrel agha, ka o si otu a laa ha
n’iyi, kpochapụkwa ha niile, na-emereghị ha amara, dịka ONYENWE ANYỊ nyere Mosis
n’iwu.
21 N’oge ahụ kwa, Joshua gara kpochapụ ndị Anak ahụ bi n’ala ugwu ugwu, ya bụ,
na Hebrọn, na Debịa, na Anab, na ala ugwu ugwu Juda, na ala ugwu ugwu Izrel. O
gburu ha niile, laa obodo ha n’iyi. 22 Ọ dịkwaghị otu onye Anak a hapụrụ ndụ n’oke
ala Izrel niile, karịakwa ndị fọdụrụ na Gaza, na Gat, na n’ime Ashdọd.
23 Ya mere, Joshua meriri ala ahụ niile dịka ONYENWE ANYỊ si nye ya Mosis n’iwu.
O nyekwara ndị Izrel ala ahụ dịka ihe nketa ha. O kenyere ha ala ahụ dịka ebo ha si
dị. Site n’oge ahụ gaa n’ihu, ala ahụ dara jụụ. Ibu agha adịghịkwa n’ime ya ọzọ.

# 12

*Ọnụọgụgụ ndị eze e meriri*

1 Ndị a bụ ndị eze ala ndị ahụ ndị Izrel lara n’iyi, bụ ala ndị ahụ ha nwetara
n’akụkụ ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan. Obodo niile a lara n’iyi bụ ndị dị
site na ndagwurugwu iyi Anọn ruo n’ugwu Hemon ha na akụkụ ọwụwa
anyanwụ Araba.

2 Saịhọn, eze ndị Amọrait, onye bi na Heshbọn.
Ala ya gbatịrị site n’Aroea, n’akụkụ ndagwurugwu Anọn, na n’etiti ndagwu-
rugwu iyi Anọn, ruo iyi Jabọk, nke bụ oke ala ụmụ Amọn. Ọkara ala Gilead,
nke dị n’ugwu iyi Jabọk bụkwa ala ya.
3 Ọ bụkwa Saịhọn na-achị akụkụ ọwụwa anyanwụ Araba site n’osimiri Kineret
ruo n’osimiri Araba (ya bụ, Osimiri Nnu), ruo Bet-Jeshimọt, gbadaakwa akụkụ
ndịda ndịda ruo na mgbada ugwu Pisga.
4 Ha merikwara Ọg, eze Bashan, onye bụ otu n’ime ndị eze ikpeazụ ndị agbụrụ
Refaim. Isi alaeze ya dị n’Ashtarọt na Edrei.
5 Ọ chịrị n’ugwu Hemon, Saleka, ala Bashan niile ruo n’oke ha na ndị Geshua na
Maaka nwere, nakwa ọkara nke Gilead, bụ oke ala Saịhọn, bụ eze Heshbọn.

6 Ọ bụ Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ, na ụmụ Izrel, lara eze abụọ ndị a n’iyi.
Mosis nyekwara ebo Ruben, na ebo Gad, na ọkara ebo Manase ala ha.

7 Ndị a bụ aha ndị eze niile Joshua na ụmụ Izrel meriri, n’ofe osimiri Jọdan, n’akụkụ
ọdịda anyanwụ, site na Baal-Gad nke dị na ndagwurugwu Lebanọn, ruo n’ugwu
Halak nke dị na mgbago n’ụzọ Sia. Joshua nyere ebo Izrel niile ala ha ndị a dịka ihe
nketa, n’usoro dịka ebo ha si dị. 8 Ala ndị ọzọ bụkwa ala ugwu ugwu ahụ, na ala dị
na mgbada ugwu ọdịda anyanwụ, na ala Araba, na ala ndị dị na mgbada ugwu, na
ọzara, nakwa Negev. Ndị a bụ ala ndị Het, na ndị Amọrait, na ndị Kenan, ndị Periz,
na ndị Hiv, na ndị Jebus.

Ndị a bụ ndị eze ahụ:

9 Eze Jeriko, otu
eze Ai (nke dị nso na Betel), otu
10 eze Jerusalem, otu
eze Hebrọn, otu
11 Eze Jamut, otu
eze Lakish, otu
12 eze Eglọn, otu

eze Gaza, otu
13 eze Debịa, otu
eze Geda, otu
14 eze Homa, otu
eze Arad, otu
15 eze Libna, otu
eze Adulam, otu
16 eze Makeda, otu
eze Betel, otu
17 eze Tapụọa, otu
eze Hefa, otu
18 eze Afek, otu
eze Lasharọn, otu
19 eze Madọn, otu
eze Hazọ, otu
20 eze Shịmrọn Meron, otu
eze Akshaf, otu
21 eze Teanak, otu
eze Megido, otu
22 eze Kedesh, otu
eze Jokneam, n'ime Kamel, otu
23 eze Doa, (n'ime obodo Naftod), otu
eze Goiim, n'ime Gilgal,* otu
na 24 eze Tịaza, otu.

Ha niile dị ndị eze iri atọ na otu.

# 13

*Ala fọdụrụ*

1 N'oge a, Joshua aghọọla agadi nwoke,*ONYENWE ANYỊ kpọrọ ya sị ya, "Ugbu a, ị
ghọọla agadi, ụbọchị ọgwụgwụ ndụ gị abịala nso, ma ọtụtụ ala fọdụrụ ndị a ga-emeri.

2 "Ndị a bụ ala nke fọdụrụ unu ga-enweta:

"ala ndị Filistia niile na ala ndị Geshua niile,† 3 site n'osimiri Shaịho dị n'ọnụ Ijipt ruo n'oke ala Ekrọn, n'akụkụ ugwu ya, nke a gụnyere ndị Kenan, na ndịisi ise ndị Filistia: ndị Gaza, ndị Ashdọd, ndị Ashkelọn, ndị Gat, na ndị Ekrọn;
nakwa ala ndị Ava, 4 site na ndịda ala ahụ niile dị n'ugwu;
n'ala ndị Kenan, na Meara, nke bụ ala ndị Saịdọn, ruo n'Afek, na oke ala ndị Amọrait;
5 na ala ndị Gebal niile;
na Lebanọn niile ruo n'ọwụwa anyanwụ, site Baal-Gad n'okpuru ugwu Hemon ruo na mbata Hamat.

6 "Ndị niile bi n'ala ugwu site na Lebanọn ruo Mizrefot Maim, ya bụ, ndị Saịdọn
niile, Mụ onwe m ga-achụpụ ha site n'ihu ụmụ Izrel. Ihe dịrị gị bụ ike ala ahụ ka
ọ bụrụ ihe nketa nye ndị Izrel, dịka mụ onwe m nyere gị iwu. 7 Ya mere, kere ebo
itoolu, na ọkara Manase, ala ndị a niile, ka ọ bụrụ ihe nketa ha."

* **12:23** 12:23 Ka o doo anyị anya n'obodo Gilgal nke a, abụghị otu ihe ya na nke dị nso n'obodo Jeriko. * **13:1** 13:1 N'oge a, Joshua agbaala ihe dịka iri afọ itoolu, maọbụ narị afọ, ebe Kaleb ga-adị ihe dịka iri afọ asatọ na ise. Jos 14:10; 23:1-2; 24:29 † **13:2** 13:2 Ndị Geshua biri n'akụkụ ọnụ mmiri n'oke ala Ijipt, na ndịda ala Filistia.

### *Ala dị n'ọwụwa anyanwụ Jọdan*

8 Ọkara ebo Manase, na ebo Ruben, na Gad, enwetala ihe nketa ha n'ofe ọzọ nke Jọdan, n'akụkụ ọwụwa anyanwụ, dịka Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ nyere ha.
9 Ala ha gbatịrị site n'Aroea nke dị na ndagwurugwu Anọn, na site n'obodo dị n'etiti
ndagwurugwu ahụ, ruo n'ala dị larịị nke gbatịrị site na Medeba ruo Dibọn. 10 Ọ
gbatịkwara ruo n'oke ala ndị Amọn, tinyere obodo niile nke Saịhọn, eze ndị
Amọrait na-achị mgbe o bi na Heshbọn.
11 Ọ gụnyekwara Gilead, n'oke ala ndị Geshua, na ndị Maaka, na ugwu Hemon niile,
na Bashan niile, ruokwa Saleka. 12 Ya bụ, obodo niile nke Ọg eze ndị Bashan na-
achị, mgbe isi alaeze ya dị n'Ashtarọt na Edrei. (Ọ bụ eze ikpeazụ n'agbụrụ ndị
Refaim.) Mosis busoro Saịhọn na Ọg agha, tigbuo ha, napụkwa ha ala ha. 13 Ma
ndị Izrel achụpụghị ndị Geshua na ndị Maaka, ya mere, ha nọgidere na-ebi n'etiti
ụmụ Izrel ruo taa.

14 O nweghị ala o kenyere ebo Livayị. N'ihi na ONYENWE ANYỊ kwere ha nkwa na ihe nketa ha ga-abụ ihe aja onyinye niile e si n'ọkụ na-ewetara Onyenwe anyị Chineke Izrel.

15 Nke a bụ ala Mosis nyere ebo Ruben dịka agbụrụ ha si dị, ka ọ bụrụ ihe nketa ha.
16 Ala ha gbatịrị site n'Aroea, na ndagwurugwu iyi Anọn, sitekwa n'obodo dị n'etiti
ndagwurugwu ahụ na ala dị larịị gabiga gafee Medeba, 17 ruo Heshbọn, na obodo
ndị ọzọ dị n'ala larịị ahụ, tinyere obodo Dibọn, na Bamot Baal, na Bet-Baal-Meon,
18 na Jahaz, na Kedemot, na Mefaat, 19 na Kiriatem, na Sibma, na Zeret Shaha,
nke dị n'ugwu nta dị na ndagwurugwu ahụ; 20 na Bet-Peoa, na Bet-Jeshimọt, nke
dị n'ebe dị na mgbada ugwu Pisga; 21 na obodo niile dị n'ala larịị ahụ, na ala
Saịhọn niile, onye bụ eze ndị Amọrị nke chịrị na Heshbọn. Mosis lụgburu ya,
lụgbukwaa ndịisi Midia bụ Evi, na nke Rekem, na nke Zua, na nke Hua, na nke
Reba, ụmụ ndị eze ha na Saịhọn jikọtara aka buo agha. 22 Tinyere ndị ha gburu
n'ọgbọ agha, ụmụ Izrel ji mma agha gbuo Belam nwa Beoa, onye na-agba aja.
23 Ya mere, oke ala ebo Ruben dị n'ọnụ mmiri osimiri Jọdan. Obodo ukwu na obodo nta ndị a bụ ihe ha nwetara dịka ihe nketa ha. Ezinaụlọ ọbụla nwetakwara oke nke ha dịka ikwu ha si dị.

24 Mosis nyekwara ebo Gad ala nke ha site n'ala ahụ ha lụgburu, dịka ikwu ha si dị.
25 Ndị a bụ ala ebo Gad nwetara: ala ahụ niile dị na Jeza, na obodo Gilead niile,
na ọkara ala ndị Amọn nke ruru Areoa, n'akụkụ Raba. 26 Na ala sitere Heshbọn
ruo Ramat Mizpa, na Betonim, na sitekwa Mahanaim ruo oke ala Debịa. 27 N'ime
ndagwurugwu ala ha bụ Bet-Haram, na Bet-Nimra, na Sukọt, na Zafọn, na ala
fọdụrụ n'alaeze Saịhọn eze Heshbọn, nke dị n'akụkụ ọwụwa anyanwụ osimiri
Jọdan n'oke ala ya ruokwa nsọtụ osimiri Galili.‡
28 Obodo ndị a na obodo nta ndị ọzọ bụ ihe nketa ụmụ Gad dịka agbụrụ ha si dị.

29 Mosis nyekwara ikwu ọbụla dị n'ọkara ebo Manase ala nke ha, dịka mkpa ha si dị.
30 Ala ha ketara gbatịrị ruo Mahanaim. Ọ bụ ha nwekwa ala Bashan niile, na ala
niile Ọg, eze Bashan, na-achị, tinyere iri obodo nta isii dị na Bashan, nke Jaịa

‡ **13:27** 13:27 Osimiri Galili bụkwa Osimiri Kineret

wuru. Ha nwetakwara 31 ọkara Gilead, na Ashtarọt, na Edrei bụ isi obodo alaeze
Ọg n'ime Bashan.

Ala ndị a niile ka e nyere ọkara ebo Manase, ya bụ ikwu niile e nwere site
n'ụmụ Makia, ọkpara Manase.

32 Ndị a bụ otu Mosis si keere ụmụ Izrel ala dị n'akụkụ ọwụwa anyanwụ
osimiri Jọdan, mgbe ụmụ Izrel mara ụlọ ikwu ha n'obosara ala Moab, na
ncherita ihu obodo Jeriko. 33 Ma Mosis enyeghị ebo Livayị ala ọbụla, n'ihi
na ọ gwara ha na Onyenwe anyị, Chineke Izrel bụ ihe nketa ha nwere, dịka
o kwere ha na nkwa.

# 14

### *Okike ala dị n'ọwụwa anyanwụ Jọdan*

1 Otu a ka esi kenye ndị Izrel ala Kenan, bụ nke Elieza onye nchụaja,[*] na Joshua,
nwa Nun, na ndị ndu ikwu niile dị n'ebo Izrel kere. 2 Ebo ọbụla n'ime ebo itoolu na
ọkara ahụ fọdụrụ nwetara ihe nketa ha site n'ife nza, dịka Onyenwe anyị nyere ya
Mosis n'iwu. 3 Ma Mosis enyelarị ebo abụọ na ọkara ala nke ha n'ofe ọzọ nke osimiri
Jọdan, n'akụkụ ọdịda anyanwụ. Ma o kenyeghị ndị Livayị ihe nketa ọbụla n'etiti ha.
4 N'ihi na ụmụ Josef dị ebo abụọ, ya bụ Manase na Ifrem.[†] Enyeghị ndị Livayị oke
n'ala ahụ, karịa obodo ụfọdụ ebe ha ga-ebi na ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha. 5 Ndị Izrel
keere ala ahụ n'usoro dịka iwu Onyenwe anyị nyere Mosis si dị.

### *Ala Kaleb ketara*

6 N'oge a, ụmụ Juda zipụrụ ndị ozi ndị jekwuuru Joshua na Gilgal. Kaleb, nwa
Jefune, onye Keniz so ha n'ije a. Mgbe ha bịarutere, Kaleb gwara Joshua okwu sị
ya, "I chetakwara okwu ahụ Onyenwe anyị gwara Mosis onye nke Chineke banyere
gị na banyere mụ onwe m, mgbe anyị nọ na Kadesh Banea? 7 Agbara m iri afọ anọ
n'oge ahụ Mosis onyeozi Onyenwe anyị si na Kadesh Banea zipụ anyị ịga iledo ala
ndị Kenan anya. Mgbe anyị lọghachiri, agwara m ya okwu, kọwaara ya ihe m chere
n'obi m bụ eziokwu. 8 Ma ụmụnna anyị, ndị anyị na ha so gaa, menyere ụmụ Izrel
egwu, mee ka obi ha daa mba ịchọ ịbanye n'ala ahụ e kwere anyị na nkwa. Ma ebe
m nọgidere jiri obi m niile soro Onyenwe anyị Chineke m, 9 Mosis ṅụrụ iyi sị m, 'Ebe
ọ bụ na i ji obi gị niile soro Onyenwe anyị Chineke m, ala ahụ i jegharịrị ije n'elu ya
ga-abụ ihe nketa nye gị na ụmụ gị ruo mgbe ebighị ebi.'
10 "Ugbu a, dịka Onyenwe anyị kwere na nkwa, o meela ka m dị ndụ. Nke a bụ
iri afọ anọ na ise kemgbe Onyenwe anyị gwara Mosis okwu ndị a, mgbe Izrel na-
awagharị n'ọzara. Ma ugbu a, lee, agbaala m iri afọ asatọ na ise taa. 11 M dị ike taa
dịka m dị n'ụbọchị ahụ Mosis zipụrụ m. Dịka ike m dị mgbe ahụ, adịkwa m ike ugbu
a, ịpụ buo agha ma batakwa 12 Ya mere, nye m ala ugwu ugwu ahụ Onyenwe anyị
kwere m nkwa n'ụbọchị ahụ. Gị onwe gị nụrụ n'oge ahụ na ụmụ Anak bi n'ebe ahụ,
na obodo ha bukwara ibu, na e jikwa mgbidi e wusiri ike gbaa ha gburugburu. Ma
site n'inyeaka Onyenwe anyị, aga m achụpụ ha dịka Onyenwe anyị kwuru."
13 N'ihi nke a, Joshua gọziri Kaleb nwa Jefune. O nyere ya obodo Hebrọn ka ọ bụrụ
ihe nketa ya. 14 Ya mere, obodo Hebrọn ghọrọ ihe nketa Kaleb nwa Jefune onye Keniz
bido mgbe ahụ, n'ihi na o ji obi ya niile soro Onyenwe anyị, Chineke Izrel. 15 Tupu
oge a, aha a na-akpọ Hebrọn bụ Kiriat Aaba, nke pụtara Obodo Aaba. Aaba bụkwa
aha nwoke kachasị ịdị ukwuu n'etiti ndị Anak niile.

Site n'oge a gaa n'ihu, e nwere udo n'ala ahụ niile.

[*] **14:1** 14:1 Elieza bụ nwa Erọn. Ọpụ 6:23; 28:1 [†] **14:4** 14:4 Jekọb mere ụmụ ndị ikom abụọ a mụtara Josef n'ala Ijipt ndị nke ya, ị ga-agụta nke a n'akwụkwọ Jen 48:5 N'ihi ọnọdụ ọhụrụ a ha nwere dịka ụmụ Jekọb, o nyere ha ikike i keta oke n'ihe o nwere, dịka ụmụ ya ndị ọzọ si keta.

# 15

## *Oke ndị Juda*

1 Ala ndị a ka e nyere ndị Juda dịka ikwu dị n'ebo ahụ si dị. Ikwu ọbụla
ketara ala nke ha site n'ife nza. Ala Juda gbatịrị nnọọ ruo n'oke ala Edọm,
gbatịakwa ruo n'ọzara Zin, kwụsị n'ọnụ ọnụ ndịda ọzara a.

2 N'akụkụ ndịda, oke ala ha malitere n'ọnụ ọnụ ndịda osimiri Nnu.* 3 Site n'ebe
akụkụ ndịda nrigo Akrabim, gafee ruo n'ọzara Zin, ma rigoo n'akụkụ nke ndịda
Kadesh Banea, gafee Hezrọn rigoruo na Aada, gba gburugburu gaa Kaka; 4 site
n'ebe ahụ ruo Azmọn, pụọ gbasoro iyi dị n'oke ala ndị Ijipt gagide ruo n'osimiri
Mediterenịa. Nke a bụ oke ala n'ebe ndịda.
5 Oke ala ha n'ọwụwa anyanwụ bụ oke osimiri Nnu, ruo n'ọnụ mmiri osimiri Jọdan.
Oke ala ha n'akụkụ ugwu bidoro n'ọnụ mmiri osimiri Jọdan, 6 gbatịrị ruo Bet-
Hogla, ma ruo n'ugwu Bet-Araba,† rukwaa na nkume Bohan, nwa Ruben. 7 Site
n'ebe ahụ, ọ gbatịrị ruo na Ndagwurugwu Akọ na Debịa, tụgharịa gbatịrịkwa
ruo Gilgal, na ncherita ihu ala ala Adumim nke dị n'akụkụ ndịda ndagwurugwu
ahụ. Site n'ebe ahụ ọ gbatịrị ruo na mmiri En-Shemesh, kwụsị na En-Rogel.
8 Oke ala ahụ gbagoro Ndagwurugwu nke Ben Hinom, rukwaa n'akụkụ ndịda
Jebus n'ebe e wuru obodo Jerusalem. Oke ala ahụ sitekwara ebe ahụ gbagoo ruo
n'elu dị n'akụkụ ọdịda anyanwụ nke Ndagwurugwu Hinom, na nsọtụ ugwu nke
Ndagwurugwu Refaim. 9 Site n'elu ugwu ebe ahụ, oke ala ahụ gbatịrị ruo na
mmiri ime ala Neftoa, pụta site n'ebe ahụ ruo obodo niile dị nso ugwu Efrọn.
Site n'Efrọn, oke ala ahụ gbadara ruo Baala (nke aha ya ọzọ bụ Kiriat Jearim).
10 Oke ala ahụ mere dịka ọ ga-agba Baala gburugburu n'akụkụ ọdịda anyanwụ,
site n'ebe ahụ pụta n'ugwu Sia, sitekwa n'ebe ahụ ruo n'akụkụ ugwu Jearim (ya
bụ Kesalon), gbatịa ruo na ndịda Bet-Shemesh, gafee ruo n'ọdịda anyanwụ oke
ala Timna. 11 O sikwara ebe ahụ ruo ndịda ugwu Ekrọn, tụgharịa ruo Shikerọn,
gafee ya, ruo n'ugwu Baala, sitekwa n'ebe ahụ ruo Jabneel, oke ala ahụ kwụsịrị
n'osimiri.
12 Oke ala ha n'akụkụ ọdịda anyanwụ bụ ọnụ mmiri osimiri Mediterenịa.

Ndị a bụ oke ala gbara ndị Juda gburugburu dịka ikwu ha niile si dị.

## *Kaleb emerie Hebrọn na Debịa*

13 Dịka iwu ONYENWE ANYỊ nyere si dị, Joshua nyere Kaleb nwa Jefune oke n'etiti
ndị Juda. O kenyere ya Kiriat Aaba, ya bụ, Hebrọn. Aaba bụ nna nna Anak. 14 Kaleb
sitere n'obodo Hebrọn chụpụ ndị ikom atọ, bụ Sheshai, na Ahiman, na Talmai, ụmụ
Anak n'ala ha. 15 O si n'ebe ahụ bilie ịlụso ndị bi na Debịa ọgụ. Nke a na-akpọ
Kiriat Sefa n'oge mbụ. 16 Kaleb sịrị, "Nwoke ọbụla ga-aga busoo Kiriat Sefa agha ma
merie ya ka m ga-akpọnye Aksa, bụ nwa m nwanyị ka ọ bụrụ nwunye ya." 17 Ya
mere, Otniel, nwa Kenaz, nwa nwanne Kaleb, lụgburu obodo ahụ n'agha. N'ihi nke
a, Kaleb kpọnyere ya Aksa, bụ nwa ya nwanyị ka ọ bụrụ nwunye ya.
18 Otu ụbọchị, mgbe Aksa bịakwutere Otniel, ọ kwagidere ya ka ọ rịọọ ala ubi site
n'aka nna ya.‡ Mgbe Aksa si n'elu ịnyịnya ibu ya rịdata, Kaleb jụrụ ya sị, "Gịnị ka ị
chọrọ ka m mere gị?"
19 Ọ zaghachiri, "Nyem onyinye pụrụ iche. Ebe ọ bụ na i nyela m ala Negev, biko
nyekwa m isi mmiri ụfọdụ." N'ihi nke a, Kaleb nyere ya isi mmiri mgbago na isi
mmiri nke ndịda.

* **15:2** 15:2 Maọbụ, Osimiri Nwụrụ anwụ. † **15:6** 15:6 Maọbụ, Osimiri Mediterenịa Ọnụ 34:14 ‡ **15:18** 15:18 Nkp 1:14

[20] Nke a bụ ihe nketa ebo Juda dịka ikwu ha niile si dị.

[21] Obodo niile nke ndị ebo Juda dị na Negev, n’akụkụ ndịda n’oke ala Edọm bụ ndị a:
Kabzeel, Eda, Jaguo, [22] Kina, Dimona, Adada, [23] Kedesh, Hazọ, Itnan, [24] Zif, Telem,
Bealot, [25] Hazọ Hadata, Keriọt Hezrọn (ya bụ Hazoa), [26] Amam, Shema, na
Molada, [27] Haza Gada, Heshmọn, Bet-Pelet, [28] Haza Shual, Bịasheba, Biziotịa,
[29] Baala, Iyim, Ezem, [30] Eltolad, Kesil, Homa, [31] Ziklag, Madmanna, Sansanna,
[32] Lebaot, Shilhim, Ain na Rimọn. Ọnụọgụgụ obodo ndị a dị iri abụọ na itoolu.
Obodo nta ndị ọzọ gbara ha niile gburugburu.
[33] Obodo niile ndị a dị na ndịda ugwu ka e nyekwara ebo Juda. Obodo ndị a bụ,
Eshtaol, Zora, Ashna, [34] Zanoa, En-Ganim, Tapụọa, Enam, [35] Jamut, Adulam, Soko,
Azeka, [36] Shaaraim, Aditaịm na Gedera (maọbụ Gederotaịm). Ha niile dị obodo
iri na anọ. Obodo nta ndị ọzọ gbakwara ha gburugburu.
[37] Ebo Juda ketara Zenan, Hadasha, Migdal Gad, [38] Dilean, Mizpa, Jekteel,
[39] Lakish, Bozkat, Eglọn, [40] Kabọn, Laamam, Kitlish, [41] Gederọt, Bet-Dagọn,
Naama na Makeda. Obodo ndị a dị iri na isii, tinyekwara obodo nta ha. Ndị
Juda ketakwara:
[42] Libna, Eta, Ashan [43] Ifta, Ashna, Nezib, [44] Keila, Akzib na Maresha. Ha niile dị
obodo itoolu, tinyekwara obodo nta ha niile.
[45] Ha ketakwara Ekrọn, na obodo nta ya niile. [46] Ọ bụ ha nwekwa obodo niile dị
n’akụkụ ọdịda anyanwụ Ekrọn, ndị dị nso nso Ashdọd, na obodo nta niile dị
ha nso. [47] Ma Ashdọd n’onwe ya, na ụmụ obodo nta ya niile, na Gaza na obodo
nta ya niile, ruo n’iyi Ijipt, na ruo n’oke osimiri Mediterenịa.
[48] Ha nwetakwara ala ndị dị n’ugwu ugwu bụ,
Shamia, Jatịa, Sokoh, [49] Dana, Kiriat-Sana (ya bụ Debịa), [50] Anab, Eshtemo, Anim,
[51] Goshen, Họlọn na Gailo, ha niile dị obodo iri na otu tinyere obodo nta ha
niile.
[52] Obodo ndị ọzọ bụ Arab, Duma, Eshan, [53] Janim, Bet-Tapụọa, Afeka, [54] Humta,
Kiriat Aba nke bụ Hebrọn na Zior, obodo itoolu tinyere obodo nta ha niile.
[55] Maon, Kamel, Zif, Juta, [56] Jezril, na Jokdeam, Zanoa, [57] Kain, Gibea na Timna,
obodo iri tinyere obodo nta ha niile.
[58] Halhaul, Bet Zoa, Gedoa, [59] Maarat, Bet-Anot na Eltekọn, obodo isii tinyere
obodo nta ha niile.
[60] Kiriat Baal, ya bụ, Kiriat Jearim na Raba, obodo abụọ tinyere obodo nta ha
niile.
[61] Obodo ha ndị dị n’ọzara bụ ndị a:
Bet-Araba, Midin, Sekaka, [62] Nibshan, Obodo Nnu na En-Gedi, obodo isii tinyere
obodo nta ha niile.

[63] Ma ebo Juda enweghị ike ịchụpụ ndị Jebus bi n’ime Jerusalem; ruo taa ndị Jebus
bi na Jerusalem, n’etiti ụmụ Juda.

# 16

*Oke Ifrem na Manase*

[1] Ala e kenyere ụmụ ụmụ Josef bidoro n’osimiri Jọdan n’akụkụ ọwụwa anyanwụ
Jeriko gbatịrị ruo n’ọzara. O sitere na Jeriko gbagoo ala ugwu ugwu ahụ, ruokwa
Betel. [2] O sitekwara Betel (ya bụ Luz), gafee ruo Atarọt, ebe ndị Akai bi. [3] Site
n’ebe ahụ, ọ gbatịrị n’akụkụ ọdịda anyanwụ rute ala ndị Jaflet, ruo ala mgbada
mgbada Bet-Horon. O si n’ebe ahụ ruo Gaza, tutu kwụsị n’osimiri Mediterenịa.

4 Ụmụ Josef bụ Ifrem, na Manase nwetara ihe nketa ha.

### *Ebo Ifrem*

5 Ndị a bụ ala nke ikwu dị iche iche dị n'ebo Ifrem nwetara.

Oke ala ha n'akụkụ ọwụwa anyanwụ malitere n'Atarọt-Ada. Site n'ebe ahụ, o ruru
n'akụkụ elu elu Bet-Horon; 6 sitekwa n'ebe ahụ ruo n'osimiri Mediterenịa. Oke
ala ha n'akụkụ ugwu malitere na Mikmetat, gafee n'akụkụ ọwụwa anyanwụ ruo
Taanat Shaịlo, gafee ya ruo na Janoa. 7 O sitere na Janoa gbadaa ruo Atarọt, na
Naara, bịaruo Jeriko, gafee, kwụsị n'osimiri Jọdan. 8 Oke ala ahụ n'akụkụ ọdịda
anyanwụ sitere na Tapụọa gaa ruo iyi Kana, na ruo n'osimiri Mediterenịa. Nke
a bụ ala ebo Ifrem ketara, dịka ikwu ha si dị.
9 E tinyere obodo ukwu na obodo nta niile ekepụtara iche n'ihi ebo Ifrem n'etiti
ihe nketa ụmụ Manase.

10 Ma ha achụpụghị ndị Kenan ndị bi na Gaza.* N'ihi nke a, ndị Kenan binyere ndị
Ifrem ruo taa, ma e mere ka ha bụrụ ndị ọrụ ngo.

## 17

### *Ọkara ebo Manase*

1 Nke a bụ oke e kenyere ndị ebo Manase, bụ ọkpara Josef, ya bụ Makia ọkpara
Manase, onye bụ nna nna ndị Gilead. Onye natara ala Gilead na Bashan, n'ihi na ndị
agbụrụ Makia bụ dike n'agha. 2 Ya mere, oke a dịịrị ndị fọdụrụ n'ebo Manase dịka
ezinaụlọ ha si dị. Agbụrụ Abieza, Helek, Asriel, Shekem, Hefa na Shemida. Ndị a bụ
ụmụ ndị ikom agbụrụ Manase, nwa Josef, dịka ikwu ha si dị.
3 Ma Zelofehad, nwa Hefa, nwa Gilead, nwa Makia, nwa Manase, amụtaghị ụmụ
ndị ikom kama ọ mụtara naanị ụmụ ndị inyom, ndị aha ha bụ nke a: Mahla, Noa,
Hogla, Milka na Tịaza. 4 Ndị inyom ndị a bịakwutere Elieza, onye nchụaja na Joshua
nwa Nun, n'ihu ndị ndu ụmụ Izrel niile sị ha, "ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị ya kenye
anyị ala nke anyị, dịka o si kenye ụmụ ndị ikom ikwu anyị." Ya mere, dịka ONYENWE
ANYỊ nyere ya Mosis n'iwu, Joshua nyere ha ihe nketa ruuru ha n'etiti ụmụnne nna
ha, dịka ndị ọzọ si keta. 5 Manase chịtara ala oke iri, tinyere Gilead, na Bashan nke
dị n'akụkụ ọwụwa anyanwụ Jọdan, 6 n'ihi na e mere ka ndị inyom Manase keta oke
n'etiti ndị ikom ebo Manase. Ala fọdụrụ na Gilead bụ ndị ikom ebo Manase nwe ya.

7 Oke ala ebo Manase gbatịrị site n'Asha ruo na Mikmetat, nke dị n'akụkụ ọwụwa
anyanwụ Shekem. Ọ gbatịkwara n'akụkụ ndịda site n'ebe ahụ tinyere ndị bi
n'ala En-Tapụọa. 8 Ala dị gburugburu Tapụọa bụ ala ebo Manase, ma obodo
Tapụọa n'onwe ya, nke dị n'oke ala ebo Manase, bụ obodo ebo Ifrem. 9 Oke ala
ụmụ Manase gbatịrị ga ndịda ruo na mmiri iyi Kana. Ụfọdụ obodo ndị Ifrem dị
n'ebe ahụ, n'etiti obodo ndị Manase, kama oke ala ndị Manase n'akụkụ ugwu
iyi ahụ kwụsịrị n'osimiri Mediterenịa. 10 Ala dị na ndịda bụ nke e kenyere
Ifrem, ma ala mgbago ugwu bụ nke Manase. Ala ndị Manase gbatịrị ruo n'osimiri
Mediterenịa ma ha na ndị Asha nwekọrọ oke ala n'akụkụ ugwu, ebe ha na ndị
Isaka nwere oke ala n'akụkụ ọwụwa anyanwụ.

* **16:10** 16:10 Jos 15:63; 17:12-13; Nkp 1:29

11 Manase ka e nyere obodo ndị a, nke dị n’ala e nyere Isaka na Asha: obodo Bet-
Shan, na Ibleam, na Doa, na Endoa, na Teanak, na Megido, na obodo nta niile
gbara ha gburugburu. Obodo nke atọ bụ Nafọt.

12 Ma ụmụ Manase enweghị ike ịchụpụ ndị Kenan bi n’obodo ndị ahụ, n’ihi na ndị
Kenan nọgidere bichie obodo ndị a. 13 Ma n’ikpeazụ, mgbe ụmụ Izrel ghọrọ ndị dị
ike, ha achụpụghị ndị Kenan niile bi n’obodo ndị a kpamkpam, kama ha mere ka ha
bụrụ ndị na-ejere ụmụ Izrel ozi, dịka ndị ohu ha.
14 Ma ụmụ ụmụ Josef* sịrị Joshua, “Gịnị mere i ji nye anyị naanị otu ụzọ ala ka ọ
bụrụ ihe nketa anyị? Ị hụrụ na ONYENWE ANYỊ gọziri anyị mee ka ọnụọgụgụ anyị baa
ụba.”
15 Joshua zara sị ha: “Ọ bụrụ na ala ugwu ugwu Ifrem agaghị ezuru unu n’ihi na
unu bara ụba n’ọnụọgụgụ, gaanụ n’oke ọhịa sụchasịa ala, n’ime ala ndị Periz, na
nke ndị Refaim.”
16 Ụmụ Josef zara Joshua sị, “Ala ugwu ugwu a agaghị ezuru anyị. Ọzọ, ndị Kenan
niile bi n’ala dị larịị nwere ụgbọala igwe, ma ndị niile bi na Bet-Shan, na ụmụ obodo
nta ha na ndị bikwa na Ndagwurugwu Jezril.”
17 Ma Joshua zara ụmụ Josef, ya bụ, Ifrem na Manase, sị ha, “Unu dị ukwuu
n’ọnụọgụgụ, bụrụkwa ndị dị ike, ọ bụghị naanị otu oke ka unu ga-eketa, 18 n’ihi
na ala ugwu ugwu oke ọhịa ahụ bụkwa nke unu. Sụchaanụ ya, ruo na nsọtụ ya, ka ọ
bụrụ nke unu. Ọ bụ ezie na ndị Kenan bi n’ime ya nwere ụgbọ agha igwe,† bụrụkwa
ndị sịrị ike, unu nwere ike ịchụpụ ha.”

# 18

*Okike ala fọdụrụ*

1 Ọgbakọ Izrel niile zukọtara na Shaịlo* maa ụlọ nzute n’ebe ahụ. N’oge a, ala
ahụ niile bịara n’okpuru ọchịchị ndị Izrel, 2 ma e nwekwara ebo Izrel asaa a na-
ekenyebeghị ala nke ha dịka ihe nketa.
3 Ya mere, Joshua jụrụ ụmụ Izrel ajụjụ sị ha, “Ruo ole mgbe ka unu ga-eche tupu
unu ekpochapụ ndị niile bi n’ala a, inweta ala ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna unu
nyere unu? 4 Họpụtanụ ndị ikom atọ site n’ebo ọbụla, ndị m ga-eziga ka ha gaa
jegharịa n’ala niile ahụ, dee ya n’akwụkwọ nkọwa otu ihe nketa ọbụla si dị, n’akụkụ
ya niile. Mgbe ahụ, ha ga-alọghachikwute m. 5 Ha ga-eke ala ahụ fọdụrụ ụzọ asaa.
Ma ebo Juda ga-anọgide n’ala ha n’akụkụ ndịda, ụmụ ụmụ Josef kwa ga-anọgide
n’ala ha n’akụkụ ugwu. 6 Unu depụtachaa ụzọ asaa ndị a n’akwụkwọ, werenụ ya
bịakwute m ka m feere unu nza n’ihu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị ịchọpụta ebo ga-
eketa akụkụ ọbụla n’ala ahụ. 7 Ma ndị Livayị agaghị eketa ala ọbụla n’etiti unu, n’ihi
na ihe nketa ha bụ ọrụ nchụaja ha na-arụ n’ihu ONYENWE ANYỊ. Ebo Gad, na Ruben,
na ọkara ebo Manase agaghị enwetakwa oke ọzọ, n’ihi na ha anarala ihe nketa nke
ha n’ofe Jọdan, n’akụkụ ọwụwa anyanwụ, ebe Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ kwere
ha na nkwa na ha ga-ebi.”
8 Ya mere, mgbe ndị ikom nledo ahụ gawara ijegharị n’ala ahụ niile, Joshua gwara
ha okwu sị, “Jeenụ jegharịa n’ala ahụ niile. Depụtakwanụ otu unu chere a ga-esi kee
ya n’akwụkwọ. Mgbe unu lọtara aga m anọ n’ebe a bụ Shaịlo jụta ONYENWE ANYỊ ase
site n’ife nza, chọpụta ala nke ebo ọbụla ga-eketa.” 9 Ndị ikom ahụ gabigara ala ahụ,

* **17:14** 17:14 Ụmụ ụmụ Josef bụ ebo Ifrem na Manase Jos 14:4 † **17:18** 17:18 Dit 20:1 * **18:1** 18:1 Obodo a n’oge ochie, bụ isi obodo ebe ọchịchị ndị Izrel dị, nakwa ebe ha na-aga akpọ isiala nye Onyenwe anyị. Site Jerusalem jeruo ya bụ ihe ruru iri kilomita anọ. Ụlọ Ikwu ahụ dịgidere na Shaịlo ruo n’oge Samuel bụ onyeisi nchụaja 1Sa 4:1-11, tutu ruo mgbe ebugara ya na Gibiọn. Nkp 18:31; 1Ih 16:39; 21:29; Jer 7:12

depụta ya n'akwụkwọ, n'obodo n'obodo dịka o si dị n'oke asaa. Mgbe ha mesịrị nke
a, ha lọghachikwutere Joshua n'ọmụma ụlọ ikwu n'ime Shaịlo.

10 Joshua feere ha nza na Shaịlo n'ihu ONYENWE ANYỊ, n'ebe ahụ ka ọ nọ keere
ndị Izrel ala ahụ dịka ebo ha si dị.

*Oke ụmụ Benjamin*

11 Ndị mbụ e kenyere ala site n'ife nza bụ ebo Benjamin dịka ikwu ha si dị.
Ala niile e kenyere ebo Benjamin bụ nke dị n'etiti ala e nyere ebo Juda na
Josef.
12 Oke ala ha n'akụkụ ugwu sitere n'osimiri Jọdan ruo n'akụkụ ugwu Jeriko.
N'ọdịda anyanwụ o sitere na Jeriko ruo ala ugwu ugwu ahụ niile, ruokwa n'ọzara
Bet-Aven. 13 Oke ala ahụ sitekwara n'akụkụ ndịda ruo n'akụkụ Luz (ebe a na-
akpọkwa Betel), ruokwa Atarọt-Ada, nke dị n'akụkụ ndịda ugwu dị na mgbada
Bet-Horon.
14 Site n'ugwu ahụ chere Bet-Horon ihu n'akụkụ ndịda, oke ala ahụ gbadara ndịda
gbasoro akụkụ ọdịda anyanwụ pụta na Kiriat Baal, ya bụ, Kiriat Jearim, otu
n'ime obodo ndị Juda. Nke a bụ oke ala ahụ n'ọdịda anyanwụ.
15 Oke ala ha na ndịda sitere na nsọtụ akụkụ Kiriat Jearim rute n'isi iyi mmiri
Neftoa. 16 O sitekwara n'ebe ahụ gbada ruo na ndịda ugwu ahụ nke chere ihu
na Ndagwurugwu nke Ben Hinom, n'akụkụ ugwu Ndagwurugwu nke Refaim. O
sitekwara n'ebe ahụ gafee ruokwa n'akụkụ ndịda ugwu obodo ndị Jebus, ruo En-
Rogel. 17 Site n'En Rogel oke ala ahụ gbatịrị ruo En-Shemesh, gafee ruo Gelilọt,
nke chere ihu na nrigo ugwu Adumim. O si n'ebe ahụ ruo na nkume Bohan, nwa
Ruben. 18 O sitere n'ebe ahụ gafee n'akụkụ ugwu Bet-Araba gbadata rute n'Araba,
19 ọ gafere gbatịrị ruo n'akụkụ Bet-Hogla na mgbago ugwu, pụta n'akụkụ ugwu
nke osimiri Nnu, nke bụ n'akụkụ ndịda ọnụ mmiri osimiri Jọdan. Nke a bụ oke
ala ha n'akụkụ ndịda.
20 Oke ala ha n'akụkụ ọwụwa anyanwụ bụ osimiri Jọdan.
Ndị a bụ ihe nketa ụmụ Benjamin, dịka oke ala ya niile si dị gburugburu, dị
ka ikwu ya niile si dị n'akụkụ niile.

21 Ndị a bụ obodo e kenyere ebo Benjamin, dịka ikwu ha si dị:
Jeriko, Bet-Hogla, Emek Keziz, 22 Bet-Araba, Zemaraim, Betel, 23 Avim, Para, Ofra,
24 Kefa Amoni, Ofni, Geba, obodo iri na abụọ na obodo nta ha ndị ọzọ.
25 Na Gibiọn, Rema, Beerọt, 26 Mizpa, Kefira, Moza, 27 Rekem, Iapeel, Tarala, 28 Zela,
Haelef na obodo ndị Jebus, nke aha ya bụ Jerusalem, Gibea na Kiriat Jearim,
obodo iri na anọ na obodo nta niile gbara ha gburugburu.
Ndị a bụ ihe nketa ụmụ Benjamin maka ikwu ya niile.

# 19

*Oke ụmụ Simiọn*

1 Ndị nke abụọ sitere n'ife nza nweta oke ha bụ ebo Simiọn dịka ikwu ha si
dị. Ala ha ketara dị n'ime ala e kenyere ndị Juda. 2 Ihe nketa ụmụ Simiọn
bụ ndị a:
Bịasheba (maọbụ Sheba), Molada, 3 Haza Shual, Bala, Ezem, 4 Eltolad, Betul, Homa,
5 Ziklag, Bet-Makabot, Haza Susa, 6 Bet-Lebaot na Sharuhen, obodo iri na atọ na
obodo nta ndị ọzọ gbara ha gburugburu.
7 Na Ain, Rimọn, Eta na Ashan, obodo anọ na obodo nta ha, 8 tinyekwara obodo nta
ndị ọzọ niile gbara obodo ukwu ndị a gburugburu, ruo obodo Baalat-Bịa, ya bụ
(obodo Rema dị na Negev).

Nke a bụ ihe nketa ebo Simiọn dịka ikwu ha si dị. 9 E sitere n'oke ụmụ Juda
wepụta oke ụmụ Simiọn, n'ihi na ihe ụmụ Juda ketara dị ukwuu karịa ihe
ha kwesiri iketa. Ọ bụ nke a mere ụmụ Simiọn ji nweta ihe nketa site n'etiti
ala ndị Juda.

### *Oke ụmụ Zebụlọn*

10 Ebo nke atọ nwetara ihe nketa ha site n'ife nza bụ ebo Zebụlọn dịka ikwu
ha si dị.
Ala ha nwetara gbatịrị ruo Sarid. 11 Site n'ebe ahụ, oke ala ahụ gbatịrị gaa n'akụkụ
ọdịda anyanwụ, ruo Marala na Dabeshet, rukwaa iyi dị n'ihu Jokneam. 12 O si na
Sarid chigharịa ihu n'akụkụ ọwụwa anyanwụ, oke ala ahụ ruru n'oke ala Kislọt
Teboa, gbagorokwa ruo Daberat, ruokwa Jafia. 13 Ọ gbatịkwara n'akụkụ ọwụwa
anyanwụ ruo Gat Hefa, Et Kazin na Rimọn, tụgharịa n'ụzọ e si aga Nea. 14 N'ebe
ahụ, ọ gara gburugburu n'akụkụ ugwu ruo Hanatọn, ruokwa na Ndagwurugwu
Ifta El ebe ọ sọtụrụ.
15 Obodo ndị a niile dịkwa n'ime ihe nketa ụmụ Zebụlọn: Katat, Nahalal, Shịmrọn,
Idala na Betlehem.* Obodo niile ndị a dị iri na abụọ, tinyere obodo nta niile
gbara ha gburugburu.
16 Obodo ndị a niile na obodo nta ha, so n'ala ụmụ Zebụlọn nwetara dịka ihe
nketa ha, dịka ikwu ha si dị.

### *Oke Ụmụ Isaka*

17 Ebo nke anọ sitere n'ife nza nweta ihe nketa ha bụ ụmụ Isaka dịka ikwu
ha si dị. 18 Ala na obodo ha ketara bụ ndị a:
Jezril, Kesulọt, Shunem, 19 Hafaraim, na Shịọn, Anaharat, 20 Rabit, Kishiọn, Ebez
na 21 Remet, En-Ganim, En-Hada na Bet-Pazez.
22 Oke ala ha ruru na Taboa, Shahazuma na Bet-Shemesh, ma kwụsị n'osimiri
Jọdan.
Obodo ndị a niile dị iri na isii, tinyere obodo nta niile gbara ha gburugburu.
23 Ya mere, obodo ukwu ndị a na obodo nta ha dị n'ala ahụ ebo Isaka nwetara
dịka ihe nketa ha, dị ka ikwu ha si dị.

### *Oke ụmụ Asha*

24 Ebo nke ise e kenyere ala site n'ife nza bụ ụmụ Asha dịka ikwu ha si dị.
25 Ala na obodo ha ketara bụ ndị a:
Helkat, Hali, Beten, Akshaf, 26 Alamelek, Amad na Mishal. Oke ala ha n'akụkụ
ọdịda anyanwụ gbatịrị ruo Kamel na Shihoa-Libnat. 27 O sitere n'ebe ahụ
tụgharịa n'akụkụ ọwụwa anyanwụ gawa Bet-Dagọn, ma ruokwa Zebụlọn na
Ndagwurugwu Ifta El, ma gbagoro ruokwa Bet-Emek na Neiel. O sikwa n'ebe
ahụ gafee, ruo Kabul, n'akụkụ aka ekpe. 28 Ọ gara ruo Ebrọn, Rehob, Hamọn
na Kana, ruokwa ebe obodo Saịdọn gbasapụrụ. 29 Oke ala ahụ mere dịka ọ na-
alaghachi azụ bịaruo Rema, ruokwa obodo e wusiri ike bụ Taịa, tụgharịakwa
gawa Hosa pụta n'ọnụ mmiri osimiri Mediterenịa nke dị n'akụkụ Akzib 30 na
Umma, Afek na Rehob.
Ọnụọgụgụ obodo ndị a niile bụ iri abụọ na abụọ tinyere obodo nta ha niile.
31 Obodo ndị a na obodo nta ha niile dị n'ala ahụ ebo Asha nwetara dịka ihe
nketa, dịka ikwu ha si dị.

### *Oke ụmụ Naftalị*

32 Ebo nke isii e nyere ihe nketa site n'ife nza bụ ebo Naftalị, dịka ikwu ha
si dị.

---

* **19:15** 19:15 Obodo Betlehem nke a, dị iche na Betlehem dị na Juda. 1Sa 17:12; Rut 1:1

33 Oke ala ha malitere na Helef ruo n'osisi ukwu dị na Zaananim, Adami Nekeb
na Jabneel, gafee ruo Lakum, kwụsị n'osimiri Jọdan. 34 Site n'ebe ahụ oke ala
ha gara n'akụkụ ọdịda anyanwụ ruo Aznot Tabo, site n'ebe ahụ ruo Hukọk,
rute Zebụlọn na ndịda, na Asha n'ọdịda anyanwụ, ruokwa Juda n'akụkụ ọwụwa
anyanwụ Jọdan.
35 Obodo niile e wusiri ike e kenyere ha bụ ndị a: Zidim, Zea, Hamat, Rakat, Kineret,
36 Adama, Rema, Hazọ, 37 Kedesh, Edrei, En-Hazoa, 38 Iron,† Migdal El, Horem,
Bet-Anat na Bet-Shemesh.
Ya mere, ọnụọgụgụ obodo ndị a niile bụ iri na itoolu, tinyere obodo nta niile gbara
ha gburugburu.
39 Obodo ndị a na obodo nta ha niile ka ebo Naftalị dịka ikwu ha si dị, nwetara
dịka ihe nketa ha.

### *Oke ụmụ Dan*

40 Site n'ife nza ebo Dan, bụ ebo nke asaa nwetara ihe nketa dịka ikwu ha si
dị. 41 Oke ala ihe nketa ha bụ ndị a:
Zora, Eshtaol, Ia-Shemesh, 42 Shaalabin, Aijalon, Itla, 43 Elọn, Timna, Ekrọn,
44 Elteke, Gibeton, Baalat, 45 Jehud, Bene-Berak, Gat Rimọn, 46 Me-Jakọn na Rakọn,
obodo dị n'oke ala, na ncherita ihu Jopa.
47 Mgbe oke ala ụmụ Dan ketara sitere n'aka ha pụọ. Ha gara buso obodo
Leshem agha merie ha, were mma agha tigbuo ndị niile bi n'ime ya, bichie
ya. Ha kpọrọ obodo ahụ Dan, nke bụ aha nna nna ha ochie.
48 Obodo ndị a na obodo nta ha bụ ihe nketa ebo Dan nwetara dịka ikwu ha
si dị.

### *Oke Joshua*

49 Mgbe e kechara ala ahụ niile, nye ebo ọbụla ala dịka ọnụọgụgụ ha niile si dị,
ụmụ Izrel nyere Joshua, nwa Nun ihe nketa ha n'etiti ha. 50 N'ihi na Onyenwe
anyị ekwuola na Joshua nwere ike iwere ala ọbụla ọ chọrọ. Ya mere, ha nyere
Joshua obodo Timnat Sera nke dị n'ugwu Ifrem. Joshua wugharịrị obodo ahụ
biri n'ime ya.

51 Ndị a bụ oke ala nke Elieza onye nchụaja, Joshua nwa Nun na ndịisi ụlọ
ebo ụmụ Izrel, kere na Shaịlo site n'ife nza n'ihu Onyenwe anyị, n'ọnụ ụzọ
ụlọ nzute. Ha si otu a kebie ala ahụ.

# 20

### *Obodo mgbaba*

1 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị gwara Joshua okwu sị ya, 2 "Gwa ụmụ Izrel okwu sị ha
họpụtara onwe unu obodo mgbaba dịka m gwara unu site n'aka Mosis. 3 Ka obodo
ndị a bụrụ ebe onye gburu mmadụ n'ọghọm na-amaghị ama ga-agbaga n'ihi izere
ndụ ya site n'aka onye ahụ ga-achọ ịbọrọ ọbọ ọchụ. 4 Mgbe onye gburu mmadụ ahụ
na-amaghị ama gbabara n'ime otu obodo ndị a, ọ ga-eguzo n'ọnụ ụzọ ama obodo
ahụ gwa ndị okenye obodo ahụ ihe niile mere. Ndị okenye ahụ ga-akpọbata ya n'ime
obodo ahụ, nye ya ebe ọ ga-ebi n'etiti ha. 5 Ọ bụrụkwa na onye ikwu onye ahụ nwụrụ
anwụ abịa ịbọrọ ọbọ ọchụ ahụ, ndị okenye obodo ahụ agaghị ekwe ka e gbuo onye
ahụ gburu mmadụ na-amaghị ama, n'ihi na onye ahụ akpachaghị anya mee ihe o
mere. 6 Onye ahụ gburu mmadụ na-amaghị ama ga-anọgide n'obodo ahụ ruo mgbe
ọ ga-akwụrụ n'ihu nzukọ maka ikpe ruokwa mgbe onyeisi nchụaja nọ n'oge ahụ

† **19:38** 19:38 Maọbụ, Yiron

nwụrụ. Mgbe ahụ, o nwere ike laghachi n’ụlọ nke aka ya na n’obodo ya bụ ebe o si
gbapụ ọsọ.”

7 Obodo ndị ha kewapụtara iche dịka obodo mgbaba bụ, Kedesh,* nke dị n’ime
Galili, n’ala ugwu ugwu ndị Naftalị; na Shekem,† nke dị n’ala ugwu ugwu Ifrem na
Kiriat Aba,‡ nke a na-akpọkwa Hebrọn. Ọ dị n’ala ugwu ugwu Juda. 8 Ha kewapụtara
obodo atọ ọzọ n’ihi otu ihe ahụ, n’akụkụ ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan n’ofe Jeriko.
Obodo atọ ndị a bụ, Beza, nke dị n’ọzara, n’ala larịị ahụ e nyere ebo Ruben, na Ramọt;
nke dị n’ime Gilead bụ ala ebo Gad; na Golan, n’ime Bashan, nke e si n’ala ebo Manase
wepụta. 9 Obodo mgbaba ndị a a họpụtara bụ maka ndị ọbịa bi n’etiti ụmụ Izrel,
na maka ụmụ Izrel. Ọ bụ ebe onye ọbụla gburu mmadụ na-amaghị ama ga-agbaga.
Onye na-abọrọ ọbọ ọchụ agaghị egbukwa onye ahụ tupu e kpee ya ikpe n’ọgbakọ
ndị Izrel.

# 21

### *Obodo ndị Livayị*

1 Emesịa, ndị ndu ezinaụlọ Livayị bịakwutere Elieza, onye nchụaja, na Joshua, nwa
Nun, na ndịisi ebo Izrel, 2 na Shaịlo, n’ime ala Kenan, sị ha, “ONYENWE ANYỊ nyere
iwu site n’aka Mosis ka enye anyị obodo ụfọdụ ebe anyị ga-ebi, na ala ebe anụ ụlọ
anyị ga na-ata ahịhịa.”

### *Oke ụmụ Kohat, Geshọn, na Merari*

3 N’ihi nke a, dịka iwu ONYENWE ANYỊ si dị, ụmụ Izrel sitere n’ihe nketa ha
nye ndị Livayị obodo ụfọdụ, nyekwa ha ala ebe anụ ụlọ ha ga-anọ taa nri.

4 Ndị buru ụzọ nweta oke site n’ife nza bụ ikwu Kohat dịka ikwu ha si dị. E sitere
n’ala ndị Juda, na Simiọn, na Benjamin nye ha obodo iri na atọ, ka ọ bụrụ ihe
nketa ụmụ Kohat ndị si n’ebo Livayị, ndị bụkwa ụmụ ụmụ Erọn onye nchụaja.
5 Ma ndị fọdụrụ n’ụmụ Kohat ka e nyere obodo iri site n’obodo nke ikwu ndị ebo
Ifrem, na Dan, na ọkara ebo Manase.
6 Ụmụ Geshọn nwetara obodo iri na atọ site n’ife nza. Obodo ha nwetara dị na
Bashan. Ha sikwa n’ala ndị ikwu ebo Isaka na Asha, na Naftalị, na ọkara ebo
Manase nweta oke ahụ.
7 Ụmụ Merari dịka ikwu ha si dị ketara obodo iri na abụọ site n’ala ndị ebo Ruben,
na Gad, na Zebụlọn.

8 Ya mere, ụmụ Izrel mezuru iwu niile ONYENWE ANYỊ nyere Mosis site
n’ikenye ndị Livayị obodo ha ga-ebi, nakwa ebe anụ ụlọ ha ga-ata nri.

9 Ha sitere n’ebo Juda na Simiọn, kepụta obodo ndị a akpọrọ aha 10 kenye ndị ikwu
Kohat, ndị bụ ụmụ ụmụ Erọn, bụrụkwa ụmụ ụmụ Livayị. Ọ bụ ha ka e bụ ụzọ
kenye ihe nketa site n’ife nza.
11 E kenyere ha obodo Kiriat Aaba, nke a na-akpọkwa Hebrọn. Obodo a dị n’ala
ugwu ugwu Juda, ya na ala gbara ya gburugburu ka ọ bụrụ ebe ịta nri anụ ụlọ.
(Aaba bụ nna nna ndị Anak.) 12 Ma eburularị ụzọ nye Kaleb nwa Jefune obodo
ukwu na obodo nta niile, na ala ubi niile dị n’akụkụ ya ka ọ bụrụ ihe nketa ya.
13 Ya mere, ụmụ ụmụ Erọn, onye nchụaja, ka e kenyere obodo Hebrọn, nke
bụkwa obodo mgbaba, kenyekwa ha obodo ndị a: Libna, 14 Jatịa, Eshtemoa,
15 Họlọn, Debịa, 16 Ain, Juta na Bet-Shemesh. E nyekwara ha ala niile gbara

* **20:7** 20:7 Jos 21:32; 1Ih 6:76 † **20:7** 20:7 Jos 21:21; 2Ih 10:1 ‡ **20:7** 20:7 Jos 14:15; 21:11,13

obodo ndị a gburugburu ka ọ bụrụ ebe anụ ụlọ ha ga-anọ taa nri. Ya mere, ọ bụ obodo itoolu ka e si n'ala ebo Juda na Simiọn kenye ha.
17 Ebo Benjamin nyere ha obodo anọ ndị a,
Gibiọn, Geba, 18 Anatot, Almon na ala dị ya gburugburu ebe anụ ụlọ ha ga-anọ taa nri, bụ obodo anọ.
19 Ya mere, obodo niile e nyere ndị nchụaja, ụmụ ụmụ Erọn dị iri na atọ, tinyere ebe anụ ụlọ ha ga-anọ taa nri.

20 Ụmụ Kohat* ndị fọdụrụ, ndị agbụrụ Livayị ka e kenyere obodo anọ ndị a site n'aka ebo Ifrem.
21 E sitere n'ala ugwu ugwu Ifrem nye ha:
Shekem, nke bụ obodo mgbaba na Gaza, 22 Kibzaim na Bet-Horon, tinyere ebe ịta ahịhịa nke anụ ụlọ ha, bụ obodo anọ.
23 Ha sitere n'ala ndị ebo Dan keta obodo anọ ndị a:
Elteke na Gibeton, 24 Aijalon na Gat Rimọn, tinyere ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha, bụ obodo anọ.
25 Ọkara ebo Manase nyere ha obodo abụọ,
Teanak, Gat Rimọn na ebe ịta ahịhịa nke anụ ụlọ ha.
26 Ya mere, obodo niile na ebe ịta ahịhịa nke anụ ụlọ e nyere ndị fọdụrụ n'ikwu Kohat dị iri.

27 Ụmụ Geshọn, ndị agbụrụ Livayị, ketara obodo abụọ ndị a, ya na ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha.
Ọkara ebo Manase nyere:
Golan, n'ime Bashan, nke bụ obodo mgbaba, na Be Eshtera.
28 Ebo Isaka nyere ha obodo anọ. Obodo ndị a bụ,
Kishiọn, Daberat, 29 Jamut na En-Ganim, tinyere ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha, obodo anọ.
30 Ebo Asha nyekwara ha obodo anọ. Ha bụ,
Mishal, Abdon, 31 Helkat na Rehob, tinyere ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha, obodo anọ.
32 Ebo Naftalị nyere ha obodo atọ, nyekwa ha ala ebe anụ ụlọ ha ga-anọ taa nri. Obodo ndị a bụ,
Kedesh, n'ime Galili, nke bụkwa obodo mgbaba, Hamot Doa na Katan.
33 Obodo iri na atọ, na ebe ịta ahịhịa nke anụ ụlọ ka e nyere ikwu Geshọn.

### *Oke ụmụ Merari*

34 Ndị ikwu Merari, bụ ụmụ ụmụ Livayị fọdụrụ nwetara site n'aka:
Ebo Zebụlọn,
Jokneam, Kata, 35 Dimna na Nahalal, obodo anọ tinyere ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha.
36 Ebo Ruben nyere ha obodo anọ:
Beza, Jahaz, 37 Kedemot, Mefaat na ala ebe anụ ụlọ ha ga-anọ kpaa nri.
38 Ebo Gad nyere ha obodo anọ. Obodo ndị a bụ,
Ramọt, n'ime Gilead nke bụ obodo mgbaba, Mahanaim, 39 Heshbọn na Jeza, tinyere ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha, bụ obodo anọ.
40 Ọnụọgụgụ obodo niile e kenyere agbụrụ Merari bụ obodo iri na abụọ, ha bụ ndị fọdụrụ na ndị Livayị.

* **21:20** 21:20 Ndị a abụghị ndị nchụaja n'ihi na ha e sighị n'agbụrụ Erọn. Ọnụ 26:57; 1Ih 6:1,66-70

[41] Ọnụọgụgụ obodo niile na ebe ịta nri nke anụ ụlọ e sitere n’ala ụmụ Izrel
nye ndị Livayị dị iri anọ na asatọ. [42] Obodo ọbụla nwere ala gbara ya
gburugburu ebe anụ ụlọ ga-anọ kpaa nri.

[43] Ya mere, ONYENWE ANYỊ nyere ụmụ Izrel ala ahụ ọ ṅụrụ iyi inye ndị nna nna ha.
Ha nwetara ya, biri n’ime ya. [44] ONYENWE ANYỊ nyere ha izuike n’akụkụ niile, dịka
ọ ṅụrụ n’iyi nye ndị nna nna ha. Ọ dịkwaghị otu n’ime ndị iro ha ọbụla guzogidere
ha, n’ihi na ONYENWE ANYỊ nyefere ndị iro ha niile n’aka ha. [45] O nweghị otu n’ime
nkwa ọma niile ONYENWE ANYỊ kwere Izrel nke na-emezughị. O mezuru nkwa niile
o kwere ha.

# 22

*Nlọghachi ndị bi n’ọwụwa anyanwụ Jọdan*

[1] Emesịa, Joshua kpọkọtara ndị agha si n’ebo Ruben, na Gad, na ọkara Manase,
gwa ha okwu sị: [2] “Unu emeela ihe niile Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ nyere unu
n’iwu. Unu egeela ntị n’olu m, mee ihe niile m nyere unu n’iwu. [3] E, unu arụzuola
ọrụ ahụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu nyere unu. Unu ahapụghị ụmụnna unu n’ọgbọ
agha ogologo ụbọchị ndị a niile. [4] Ugbu a, ONYENWE ANYỊ Chineke unu enyela ụmụnna
unu mmeri. O meekwala ka ha zuru ike dịka o kwere nkwa na ọ ga-eme. Ugbu a,
laghachinụ n’ụlọ unu, laghachikwanụ n’ala unu, ala ahụ Mosis onyeozi ONYENWE
ANYỊ nyere unu n’ofe ọzọ nke osimiri Jọdan. [5] Ma lezienụ anya nke ọma idebe iwu
na ụkpụrụ niile nke Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ nyere unu: nke bụ ịhụ ONYENWE
ANYỊ Chineke unu n’anya, ịga ije n’irube isi nye ya, irube isi n’iwu ya niile, ịdabere
na ya, na iji obi unu niile na mkpụrụobi unu niile fee ya ofufe.”

[6] Ya mere, Joshua gọziri ha, zipụ ha, ha lakwara n’ụlọ nke aka ha. [7] Ọkara ebo
Manase ka Mosis nyere ihe nketa nke ha n’ime ala Bashan, ma ọkara ebo Manase
nke ọzọ nwetara ihe nketa nke ha n’akụkụ ọdịda anyanwụ osimiri Jọdan. Mgbe
Joshua na-ezilaga ha n’ụlọ ha, ọ gọziri ha, gwa ha okwu sị, [8] “Werenụ ọtụtụ akụ unu
lụtara n’agha laa. Mgbe unu ruru, kenyenụ ndị ikwu unu ụfọdụ ihe site n’ime akụ
ndị iro unu a.” N’ihi na ihe ha kwatara n’agha dị ukwuu: igwe anụ ụlọ, na ọlaọcha,
na ọlaedo, na bronz, na igwe, na uwe dị iche iche.

[9] Ya mere, ndị agha Ruben na Gad, na ọkara ebo Manase, hapụrụ ndị agha Izrel na
Shaịlo, n’ime ala Kenan, n’ofe osimiri Jọdan, laghachi n’ala nke ha dị na Gilead, nke
ha nwetara dịka iwu ONYENWE ANYỊ nyere Mosis si dị.

[10] Mgbe ha rutere Gelilọt dị n’akụkụ Jọdan, n’ala ndị Kenan, ụmụ Ruben, ndị Gad
na ọkara ebo Manase wuru ebe ịchụ aja dị ukwu n’ebe ahụ n’akụkụ Jọdan. [11] Mgbe
ndị Izrel nụrụ na ha e wuola ebe ịchụ aja n’oke ala Kenan, na Gelilọt, n’ebe dị nso
Jọdan, n’ofe ala ndị Izrel, [12] ọgbakọ Izrel niile zukọtara na Shaịlo, jikere ịga ibuso
ụmụnna ha ahụ agha.

[13] Ya mere, ụmụ Izrel zigara Finehaz, nwa Elieza, bụ onye nchụaja ka ọ ga n’ala
Gilead, ya bụ ijekwuru ụmụ Ruben, na ụmụ Gad, na ọkara ebo Manase. [14] Ndị so
Finehaz n’ozi a bụ ndị ndu iri. Otu onyendu sitere n’otu ebo, n’ime ebo iri nke ụmụ
Izrel.

[15] Mgbe ndị a rutere n’ala Gilead, ha kpọkọtara ụmụ Ruben, na ụmụ Gad, na
ọkara ebo Manase gwa ha okwu sị, [16] “Otu a ka ọgbakọ niile nke ONYENWE ANYỊ sịrị,
‘Olee ụdị njehie dị nke a, nke unu mere megide Chineke? Olee otu unu si wezuga
onwe unu site n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ, gaa wuore onwe unu ebe ịchụ aja, si otu a
nupu isi megide ya? [17] Ọ pụtara na mmehie Peoa ezubereghị anyị? Ruo taa anyị
asachapụbeghị onwe anyị site na mmehie ahụ, ọ bụ ezie n’ọrịa na-efe efe dakwasịrị

nzukọ nke Onyenwe anyị. 18 Ugbu a, unu na-achọkwa isite n’ebe Onyenwe anyị nọ
chigharịa.
“ ‘Ọ bụrụ na unu enupu isi megide Onyenwe anyị taa, matakwanụ na echi ya, ọ
ga-eweso nzukọ Izrel niile iwe. 19 Ọ bụrụ na unu wuru ebe ịchụ aja ahụ n’ihi na ala
unu rụrụ arụ, bịakwutenụ anyị n’akụkụ nke ọzọ, nke osimiri a, ebe Onyenwe anyị
bi n’etiti anyị, n’ime ụlọ nzute obibi ya. Anyị ga-ekenyekwa unu ala anyị. Ma unu
enupula isi megide Onyenwe anyị site n’iwu ebe ịchụ aja ọzọ, ebe ọ bụ na e nwere
otu ebe bụ ezi ebe ịchụ aja nye Onyenwe anyị Chineke anyị. 20 Mgbe Ekan, nwa Zera,
zipụtara onwe ya dịka onye na-ekwesighị ntụkwasị obi n’ihe metụtara ihe e doro
nsọ, ọ bụ na nzukọ Izrel niile esoghị keta oke n’ahụhụ dakwasịrị ya? Ọ bụghị naanị
ya nwụrụ n’ihi mmehie ahụ.’ ”
21 Nke a bụ nzaghachi ụmụ Ruben, na ụmụ Gad na ọkara ebo ụmụ Manase, nyere
ndị ndu ụmụ Izrel niile; 22 “Chineke onye kachasị chi niile, bụ Onyenwe anyị! Chineke
onye kachasị chi niile, bụ Onyenwe anyị! Ya onwe ya maara, ka Izrel niile matakwa.
A sị na nke a bụ nnupu isi, a sịkwarị na ọ bụ enweghị ntụkwasị obi nye Onyenwe
anyị, unu ahapụla anyị ka anyị dịrị ndụ. 23 Ọ bụrụ na anyị sitere na nnupu isi wuo
ebe ịchụ aja a maka ịchụ aja udo maọbụ aja mkpụrụ ọka, ka Onyenwe anyị n’onwe
ya taa anyị ahụhụ.
24 “Ma nke ahụ abụghị ihe anyị bu n’obi! Anyị wuru ya n’ihi na anyị tụrụ ụjọ na
n’oge dị n’ihu, ụmụ unu ga-agwa ụmụ anyị okwu sị, ‘Gịnị ka unu na Onyenwe anyị,
Chineke Izrel nwekọrọ? 25 Onyenwe anyị e jirila osimiri Jọdan kpaa oke n’etiti anyị
na unu, unu ụmụ Ruben na Gad. Unu enweghị oke n’ime Onyenwe anyị!’ N’ụzọ dị
otu a, ụmụ unu nwere ike ime ụmụ anyị ka ha kwụsị ịtụ egwu Onyenwe anyị.
26 “Ọ bụ nke a mere anyị ji kpebie sị, ‘Ka anyị jikere wuo ebe ịchụ aja, ma ọ bụghị
ebe ịchụ aja nsure ọkụ maọbụ aja ndị ọzọ,’ 27 Kama, ọ bụ ebe ịchụ aja* ịhụba ama
n’etiti unu na anyị, nakwa ọgbọ ndị nke ga-esote anyị, na anyị ga-efe Onyenwe anyị
ofufe n’ụlọnsọ ya, site na ịchụrụ ya aja nsure ọkụ, na aja udo. Mgbe ahụ, n’oge dị
n’ihu, ụmụ ụmụ unu agaghị asị ụmụ ụmụ anyị, ‘Unu enweghị oke n’ime Onyenwe
anyị Chineke.’
28 “Echiche obi anyị bụ na ọ bụrụ na ụmụ ụmụ unu ekwuo ihe dị otu a, ụmụ anyị
ga-azaghachi ha sị, ‘Lee ebe ịchụ aja nna anyị ha wuru, nke yiri ebe ịchụ aja Onyenwe
anyị. E wughị ya maka ịchụ aja nsure ọkụ, kama e wuru ya dịka ihe ama na-egosi
nnwekọ dị n’etiti anyị na unu.’
29 “Anyị agaghị enupu isi n’ebe Onyenwe anyị nọ; anyị agaghị esitekwa n’iso
Onyenwe anyị Chineke wezuga onwe anyị, site n’iwuru onwe anyị ebe ịchụ aja nke
aja nsure ọkụ, na aja mkpụrụ ọka maọbụ ụdị aja ọzọ dị iche iche. Ebe ịchụ aja anyị
maara bụ ebe ịchụ aja Onyenwe anyị Chineke anyị, nke guzo n’ihu ụlọ nzute ya.”
30 Mgbe Finehaz onye nchụaja, na ndị ndu nzukọ ahụ, bụ ndịisi ezinaụlọ ndị Izrel
nụrụ ihe ụmụ Ruben, na ụmụ Gad, na ụmụ Manase kwuru, ọ masịrị ha. 31 Ya mere,
Finehaz nwa Elieza, bụ onye nchụaja, sịrị Ruben, na Gad, na Manase, “Taa ka anyị
maara na Onyenwe anyị nọ n’etiti anyị,† n’ihi na unu emehieghị megide Onyenwe
anyị dịka anyị chere. Ya mere, unu azọpụtala ndị Izrel site na mbibi gaara abịakwasị
ha site n’aka Onyenwe anyị.”
32 Mgbe ahụ Finehaz, nwa Elieza, onye nchụaja, na ndị ndu ahụ laghachitere Kenan
site na nzukọ ha na ụmụ Ruben na Gad na ọkara Manase mere n’ala Gilead kọọrọ
Izrel ihe ha gatara. 33 Okwu a tọrọ ụmụ Izrel ụtọ. Ha ǹụrịrị ọǹụ, too Chineke
otuto. Ha ekwukwaghị okwu ibu agha megide ụmụ Ruben, ụmụ Gad na ụmụ Manase,
banyere ibibi ala ha bi n’ime ya.

* **22:27** 22:27 Jen 31:48; Jos 22:34; 24:27 † **22:31** 22:31 Ọpụ 25:8; Lev 26:11-12; 2Ih 15:2

34 Ya mere, ụmụ Ruben na ụmụ Gad kpọrọ ebe ịchụ aja ha wuru, “Ebe ịchụ aja
akaebe,” n’ihi na ha sịrị, “Ọ bụ ihe akaebe igosi mmadụ niile na Onyenwe anyị
bụkwa Chineke anyị.”

# 23

*Okwu ikpeazụ Joshua kwuru*

1 Ma mgbe ọtụtụ oge gasịrị, site n’oge Onyenwe anyị mere ka Izrel nwee ezumike
n’ebe ndị iro gbara ha okirikiri nọ, Joshua aghọọla agadi, gbaa ọtụtụ afọ. 2 Ya mere,
Joshua kpọrọ ndị Izrel niile, ndị okenye ha, ndị ndu ha, ndị odozi okwu ha na ndịisi
ha, sị ha, “Emeela m agadi gbaakwa ọtụtụ afọ. 3 Unu onwe unu ejirila anya unu
hụ ihe niile Onyenwe anyị Chineke unu mere mba ndị a niile, n’ihi unu. Ọ lụụrụ
unu ọgụ, nyere unu aka imeri ndị iro unu. 4 Unu hụrụ na ekekwarala m unu ala
mba ahụ niile nke fọdụrụnụ ka ha bụrụ ihe nketa ebo unu, site na Jọdan, tinyekwara
mba niile ndị ahụ m kpochapụrụ n’akụkụ osimiri Mediterenịa dị na mpaghara ọdịda
anyanwụ. 5 Onyenwe anyị bụ Chineke unu ga-akwapụ ndị bi n’ime ha n’ihi unu. Ọ
ga-achụpụ ha n’ihu unu, mee ka unu nweta ala ha, dịka Onyenwe anyị Chineke unu
kwere unu nkwa.

6 “Ya mere, dịnụ ike, lezienụ anya idebezu na irube isi n’ihe niile e dere n’Akwụkwọ
Iwu Mosis. Unu esila n’ime ya wezuga onwe unu n’ụzọ ọbụla. 7 Lezienụ anya ka
unu na mba ndị a fọdụrụ n’ala a ghara inwe mmekọ ọbụla. Unu akpọtụkwala chi
ha niile aha. Unu aṅụkwala iyi n’aha ha, maọbụ fee ha ofufe, maọbụ kpọọ isiala nye
ha. 8 Kama raparanụ* n’ahụ Onyenwe anyị Chineke unu dịka unu mere ruo taa.

9 “Onyenwe anyị achụpụla mba dị ukwuu na mba siri ike site n’ebe unu nọ. O
nwekwaghị otu mba n’ime ha o kwere ka ha merie unu. 10 Otu nwoke n’ime unu
achụọla puku ndị ikom ndị iro unu ọsọ. N’ihi na Onyenwe anyị Chineke unu alụọlara
unu ọgụ, dịka ya onwe ya kwere nkwa. 11 N’ihi ya, lezienụ onwe unu anya nke ọma
ka unu hụ Onyenwe anyị Chineke unu n’anya.

12 “Ma ọ bụrụ na unu alaghachi azụ, ma kwere ka e jikọọ unu na mba ndị a fọdụrụ
n’etiti unu. Ọ bụrụ na unu na ha ebido ịlụrịta di na nwunye, na-emekọrịta ihe ọnụ,
13 maranụ nke ọma, na Onyenwe anyị Chineke unu agaghị achụpụrụ unu mba ndị
a site n’ala unu. Kama ha ga-abụrụ unu igbudu na ọnya. Ha ga-abụkwara unu
apịpịa n’akụkụ unu, na ogwu n’anya unu, ruo mgbe unu ga-ala n’iyi n’ezi ala a, nke
Onyenwe anyị Chineke unu nyere unu.

14 “Mgbe na-adịghị anya, mụ onwe m ga-agbaso ụzọ ahụ ndị niile bi n’ụwa na-
aghaghị ịgbaso. Unu niile maara n’ime obi unu na n’ime mkpụrụobi unu na o nweghị
otu n’ime nkwa ọma Onyenwe anyị Chineke unu kwere nye unu nke na-emezughị.
E mezuola nkwa ndị a niile; o nweghị nke ọbụla a na-emezughị. 15 Ma dịka ezi
nkwa niile Onyenwe anyị Chineke unu kwere si bụrụ ihe e mezuru emezu, otu a
kwa ka Onyenwe anyị ga-esi mee ka ihe ọjọọ niile ọ bara mba ya mezuo n’isi unu,
tutu ruo mgbe o mere ka unu laa n’iyi n’ezi ala ahụ ọ na-enye unu. 16 Ọ bụrụ na
unu emebie ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị Chineke unu, nke o nyere unu iwu idebe,
tụgharịa malite ịgbaso na ife chi ndị ọzọ na ịkpọ isiala nye ha, iwe Onyenwe anyị
ga-adị ọkụ megide unu, unu ga-alakwa n’iyi ngwangwa n’ala ọma ahụ o nyere unu.”

# 24

*Imesi ọgbụgba ndụ ike*

1 Joshua kpọkọtara ebo Izrel niile na Shekem. Ọ kpọrọ ndị okenye Izrel na ndịisi
ha na ndị ikpe ha na ndị nlekọta ha. Ha niile bịara chee onwe ha n’ihu Chineke.

* **23:8** 23:8 Dit 10:20

2 Mgbe ahụ, Joshua gwara ndị Izrel niile sị, “Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke nke
Izrel kwuru, ‘Nna nna unu ochie ha, nke bụ Tera, nna Ebraham, na Nahọ, bikwara
n’akụkụ ọwụwa anyanwụ nke ofe osimiri Yufretis, ebe ha nọ fee chi ndị ọzọ ofufe.
3 Ma mụ onwe m kpọpụtara nna nna unu Ebraham site n’ala ahụ dị n’ofe osimiri
dubata ya n’ala Kenan, nye ya ọtụtụ ụmụ ụmụ, site na nwa ya bụ Aịzik. 4 Ụmụ m
nyere Aịzik bụ Jekọb na Ịsọ. Ịsọ ka m nyere ala ugwu ugwu Sia, ka o nweta ma Jekọb
na ezinaụlọ ya gara n’ala Ijipt.

5 “ ‘Emesịa, ezigara m Mosis na Erọn, ma wetara ndị Ijipt ihe otiti ọjọọ niile dị iche
iche site n’ihe m mere n’ebe ahụ. N’ikpeazụ, akpọpụtara m ndị m site n’ala Ijipt.
6 Ma mgbe unu rutere n’Osimiri Uhie, ndị agha Ijipt gbapụtara chịrị ụgbọ agha ha
na ndị agha na-agba ịnyịnya ha chụwa unu ọsọ. 7 Mgbe ndị Izrel hụrụ ha, ha tiri
mkpu kpọkuo ONYENWE ANYỊ. O tinyere oke ọchịchịrị n’etiti unu na ndị Ijipt. O mere
ka oke osimiri kpuchie ha, mee ka ha mikpuo n’osimiri ahụ. Unu niile hụkwara ihe
m mere ndị Ijipt. Emesịa, unu bikwara n’ọzara ọtụtụ afọ.

8 “ ‘Ma emesịa, emere m ka unu bata n’ime ala ndị Amọrait, ndị bi n’akụkụ ọwụwa
anyanwụ osimiri Jọdan. Ha lụsoro unu ọgụ, ma eweere m ha nyefee unu n’aka. E
bibiri m ha n’ihu unu, ma unu nwetara ala ha. 9 Mgbe Balak nwa Zipoa, eze Moab,
jikeere ibuso Izrel agha, o zigaara Belam, nwa Beoa ozi ka ọ bịa bụọ unu ọnụ. 10 Ma
egeghị m Belam ntị. Kama emere m ya ka ọ gọzie unu. Anapụtara m unu site n’aka
ya.

11 “ ‘Emesịa, unu gafere osimiri Jọdan bịaruo Jeriko. Ndị ikom Jeriko busoro unu
agha, otu a kwa ka ndị Amọrait, na ndị Periz, na ndị Kenan, na ndị Het, na ndị Gigash,
na ndị Hiv, na ndị Jebus. Ma eweere m ha niile nyefee unu n’aka. 12 E zigara m ebu
n’ihu unu nke chụpụrụ ha n’ihu unu, bụ eze abụọ ndị Amọrait. Ọ bụghị mma agha
na ụta unu ka unu ji mee nke a. 13 *Ya mere enyere m unu ala ahụ, nke unu na-
adọgbughị onwe unu n’ihi ya, nyekwa unu ọtụtụ obodo nke unu na-ewughị, bụ ala
ndị a unu bi n’ime ya ugbu a. Enyere m unu ubi vaịnị na ubi oliv nke unu na-akụghị,
nke unu na-eri mkpụrụ ha.’

14 “Ya mere ugbu a, tụọnụ egwu ONYENWE ANYỊ, feekwanụ ya ofufe n’ụzọ ikwesi
ntụkwasị obi na n’eziokwu. Wezuganụ chi ndị ahụ niile nna nna unu ha fere
ofufe n’ofe osimiri Yufretis ahụ, na n’Ijipt. Feenụ naanị ONYENWE ANYỊ ofufe. 15 Ọ
bụrụkwanụ na ọ masịghị unu ife ONYENWE ANYỊ, họpụtaranụ onwe unu taa onye
unu ga-efe. Ma ọ bụ chi ndị ahụ nna nna unu ha fere n’ofe ọzọ nke osimiri, maọbụ
chi ndị Amọrait, ndị unu bi n’ala ha. Ma n’ebe mụ onwe m na ezinaụlọ m nọ, anyị
ga-efe ONYENWE ANYỊ.”

16 Ndị Izrel niile zara sị ya, “O nweghị ihe ga-eme ka anyị hapụ ONYENWE ANYỊ fee
chi ndị ọzọ! 17 Ọ bụ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, ya onwe ya si n’ala Ijipt, ebe anyị
bụ ndị ohu, kpọpụta anyị na nna anyị ha. Ọ rụrụ ọrụ ịrịbama ndị ahụ niile dị oke
egwu n’ihu anyị. O chebere anyị n’ije anyị niile n’etiti mba ndị ahụ niile anyị si n’ala
ha gafee. 18 Ọ bụ ONYENWE ANYỊ chụpụrụ ndị Amọrị na ọtụtụ mba ndị ọzọ bi n’ala a.
E, anyị onwe anyị ga-efe ONYENWE ANYỊ, n’ihi na ọ bụ Chineke anyị.”

19 Joshua zaghachiri ndị Izrel sị, “Unu apụghị ife ONYENWE ANYỊ ofufe; n’ihi na ọ
bụ Chineke dị nsọ, bụrụkwa Chineke ekworo. Ọ gaghị agbaghara unu nnupu isi unu
na mmehie unu niile. 20 Ọ bụrụ na unu agbakụta ONYENWE ANYỊ azụ, fee chi ala ọzọ
ofufe, ọ ga-echigharị laa unu n’iyi, n’agbanyeghị na ọ nọnyerela unu ụbọchị ndị a
niile.”

21 Ma ndị Izrel sịrị Joshua, “Mba, kama ONYENWE ANYỊ ka anyị ga-efe ofufe.”

22 Mgbe ahụ, Joshua sịrị, “Unu bụ ndị ama megide onwe unu na unu ahọrọla ife
ONYENWE ANYỊ ofufe.”

* **24:13** 24:13 Dit 6:10-11

Ha zara sị, “E, anyị bụ ndị akaebe.”
[23] Joshua sịrị, “Ugbu a, wezuganụ chi ndị mba ọzọ niile dị n’etiti unu. Werekwanụ
obi unu nye maka irubere ONYENWE ANYỊ Chineke Izrel isi.”
[24] Ndị ahụ sịrị Joshua, “Anyị ga-efe ONYENWE ANYỊ Chineke anyị ofufe. Anyị ga-
egekwa ntị n’olu ya, mee ihe o nyere n’iwu.”
[25] Ya mere, Joshua na ndị Izrel gbara ndụ n’ụbọchị ahụ na Shekem. O nyere ha
iwu na ụkpụrụ ha ga-edebe. [26] Joshua dere iwu ndị a ụmụ Izrel kwere na ha ga-eme
n’Akwụkwọ Iwu Chineke. Emesịa, o bupụtara otu nkume buru ibu guzo ya n’okpuru
osisi ukwu ook dị n’akụkụ ebe nsọ ONYENWE ANYỊ.
[27] Joshua sịrị ndị ahụ niile, “Lee, nkume a ga-abụ ihe ama megide anyị. N’ihi na ọ
nụla okwu niile nke ONYENWE ANYỊ gwara anyị. Ọ ga-abụkwa ihe ama megide unu,
ma ọ bụrụ na unu mee ihe mmekpu megide Chineke unu.”
[28] Emesịa, Joshua zilara onye ọbụla, ka ha laa n’ihe nketa nke aka ha.

### *Ọnwụ Joshua na Elieza*

[29] Ọ dịghị anya, mgbe ihe ndị a gasịrị, Joshua nwa Nun, odibo ONYENWE ANYỊ nwụrụ,
mgbe ọ gbara narị afọ na iri. [30] E liri ya n’oke ala nke ihe nketa ya, na Timnat Sera,†
n’ime ala ugwu ugwu Ifrem, n’akụkụ ugwu dị n’ala Gaash.
[31] Ndị Izrel fere ONYENWE ANYỊ ofufe ụbọchị niile nke ndụ Joshua, na nke ndụ ndị
okenye ahụ, bụ ndị gara n’ihu bie ndụ mgbe ọ nwụsịrị, ndị maakwara ihe niile nke
ONYENWE ANYỊ rụụrụ ndị Izrel.
[32] Ọkpụkpụ Josef ndị Izrel chịtara mgbe ha si n’ala Ijipt pụta, ka ha liri na Shekem,
n’ime ala ahụ Jekọb zụrụ narị mkpụrụ ọlaọcha n’aka ụmụ Hamọ nna Shekem. Ala
a ghọrọ n’ihe nketa ụmụ Josef.
[33] Elieza nwa Erọn, nwụkwara. E liri ya n’ala ugwu ugwu ndị Ifrem, na Gibea,
obodo e nyere nwa ya bụ Finehaz.

---

† **24:30** 24:30 Jos 19:50; Nkp 2:9

# Ndị Ikpe

*Agha ndị Izrel lụrụ*

1 Mgbe Joshua nwụrụ, ụmụ Izrel jụrụ ONYENWE ANYỊ sị, "Olee ebo ga-ebu ụzọ gaa
lụso ndị Kenan agha n'ihi anyị?"
2 ONYENWE ANYỊ zara, "Ọ bụ ebo Juda. Enyefeela m ala ahụ n'aka ha."
3 Ndị Juda gwara ụmụ nwanne ha ndị ebo Simiọn sị, "Soronụ anyị banye n'ala ahụ
anyị ketara site n'ife nza, ka anyị ga lụso ndị Kenan agha. Anyị ga-esokwara unu
banye n'ala nke unu." Ya mere, ndị ebo Simiọn* soro ha gaa.
4 Mgbe Juda busoro ha agha, ONYENWE ANYỊ nyefere ndị Kenan, na ndị Periz n'aka
ha, mee ka ha gbuo puku ndị agha iri n'ime obodo Bezek. 5 N'ebe ahụ ka ha zutere
Adoni-Bezek, buso ya agha, tigbukwaa ndị Kenan na ndị Periz. 6 Ma Adoni-Bezek
gbapụrụ ọsọ zoo onwe ya, ma ha chụgidere ya, jide ya, gbupụ ya isi mkpụrụ aka ya
abụọ na isi mkpụrụ ụkwụ ya abụọ.†
7 Mgbe ahụ, Adoni-Bezek sịrị, "Iri ndị eze‡ asaa ka m mesoro ụdị mmeso a unu
mesoro m, ọ bụkwa nri si na tebul m dapụ ka ha riri. Ugbu a Chineke akwụghachila
m ụgwọ ọrụ ọjọọ m." Ha kpụụrụ ya gaa Jerusalem, ebe ọ nọ nwụọ.
8 Ndị Juda busoro obodo Jerusalem agha, were mma agha gbuchapụ mmadụ niile
bi n'ime ya, ma gbaakwa obodo ahụ niile ọkụ.
9 Mgbe nke a gasịrị, ndị agha Juda busoro ndị Kenan bi na ndịda ala ugwu ugwu
ahụ, bụ Negev, ya na akụkụ ọdịda anyanwụ n'ebe dị ala ala. 10 Ha jekwuru ndị Kenan
bi n'obodo Hebrọn (nke a na-akpọ Kiriat Aaba na mbụ) merie Sheshai, na Ahiman,
na Talmai. 11 Site n'ebe ahụ, ha jekwuru ndị bi na Debịa (nke a na-akpọ Kiriat Sefa,
n'oge mbụ).
12 Kaleb sịrị, "Nwoke ọbụla ga-aga busoo Kiriat Sefa agha ma merie ya ka m ga-
akpọnye Aksa bụ nwa m nwanyị ka ọ bụrụ nwunye ya." 13 Otniel nwa Kenaz, nwanne
nta Kaleb, lụgburu obodo ahụ n'agha. N'ihi nke a, Kaleb kpọnyere ya Aksa, bụ nwa
ya nwanyị ka ọ bụrụ nwunye ya.
14 Otu ụbọchị, mgbe Aksa bịakwutere Otniel, ọ kwagidere ya ka ọ rịọọ ala ubi site
n'aka nna ya. Mgbe Aksa si n'elu ịnyịnya ibu ya rịdata, Kaleb jụrụ ya sị, "Gịnị ka ị
chọrọ ka m mere gị?"
15 Ọ zaghachiri, "Nyem onyinye pụrụ iche. Ebe ọ bụ na i nyela m ala Negev, biko
nyekwa m isi mmiri ụfọdụ." N'ihi nke a, Kaleb nyere ya isi mmiri mgbago na isi
mmiri nke ndịda.
16 Ụmụnna nwunye Mosis, onye Ken, si n'obodo nkwụ nkwụ§ soro ndị Juda, gaa
biri n'etiti ndị ahụ bi n'ọzara Juda, na Negev, nke dị nso n'Arad.
17 Ndị ikom Juda sooro ndị ikom Simiọn, ụmụnna ha, lụso ndị Kenan bi na Zefat
agha, bibie obodo ahụ kpamkpam. N'ihi nke a, a gụgharịrị obodo ahụ, kpọọ ya Homa.
18 Ndị agha Juda lụgbukwara obodo Gaza, na Ashkelọn, na Ekrọn, tinyere ala niile
gbara ha gburugburu.
19 ONYENWE ANYỊ nọnyeekwara ndị Juda mee ka ha kpochapụ ndị niile bi n'obodo
niile dị n'ala ugwu ugwu ahụ. Ma ha enweghị ike ịchụpụ ndị bi n'ala ndagwurugwu

---

* **1:3** 1:3 Ebo Simiọn na ebo Juda si n'agbụrụ Lịa Nkp 1:17 † **1:6** 1:6 I gbupụ isi mkpụrụ aka, na mkpịsịụkwụ nke ndị e jidere n'agha, bụ ihe a na-ejighị kpọrọ ihe na mba ndị dị n'etiti ọwụwa anyanwụ. Mgbe e gbupụrụ isi mkpụrụ aka na mkpịsịụkwụ onye agha, onye dị otu a agaghị e nwe ike jide ngwa agha ọzọ, maọbụ gaa ije. ‡ **1:7** 1:7 Ala Kenan bụ mba e kewara na mpaghara na mpaghara, maọbụ n'obodo nta n'obodo nta. Mpaghara, maọbụ obodo nta ọbụla nwere eze na-achị ya. Ọtụtụ obodo ndị a gbara isi obodo ahụ gburugburu. § **1:16** 1:16 Nke a bụ Jeriko

ahụ, n’ihi na ndị ahụ nwere ụgbọ agha igwe dị iche iche. 20 E nyekwara Kaleb obodo
Hebrọn, dịka Mosis kwere ya na nkwa. Kaleb chụpụrụ ụmụ Anak atọ site n’ala ahụ.
21 Ndị ebo Benjamin enweghị ike chụpụ ndị Jebus bi na Jerusalem. N’ihi nke a, ha
soro ụmụ Benjamin biri ruo taa.
22 Ma ndị sitere n’ebo Josef busoro obodo Betel agha. ONYENWE ANYỊ nọnyeere ha.
23 Mgbe ha zipuru ndị ikom ịga nyochapụta obodo Betel, nke a na-akpọ Luz, 24 ndị
nnyopụta ahụ hụrụ otu nwoke sị n’obodo ahụ na-apụta. Ha gwara ya okwu sị ya,
“Zi anyị ụzọ anyị ga-esi banye n’ime obodo a, anyị ga-ahụ na e mesoro gị mmeso dị
mma.” 25 Ya mere, nwoke ahụ gosiri ha ụzọ, ha ji mma agha gbuo mmadụ niile bi
n’ime obodo ahụ, ma ha hapụrụ nwoke ahụ na ezinaụlọ ya ndụ. 26 Emesịa, nwoke
ahụ kpọọrọ ezinaụlọ ya gaa biri n’ala ndị Het wuoro onwe ya otu obodo n’ebe ahụ.
Ọ kpọrọ aha obodo ahụ Luz, nke bụkwa aha obodo ahụ ruo taa.
27 Manase achụpụghị ndị Bet-Shan na obodo nta ya ndị ọzọ, maọbụ Teanak na
obodo nta ya ndị ọzọ, maọbụ Doa, maọbụ Ibleam, maọbụ Megido, tinyere obodo nta
niile ndị ọzọ gbara ha gburugburu. N’ihi na ndị Kenan bigidere n’ebe ahụ. 28 Mgbe
ụmụ Izrel dịrị ike karịa, ha manyere ndị Kenan ị rụrụ ha ọrụ, ma ha achụpụghị ha
site n’ala ahụ. 29 Ifrem enwekwaghị ike chụpụ ndị Kenan bi na Gaza. Ndị Kenan gara
n’ihu biri n’etiti ha n’ebe ahụ. 30 Otu a kwa, ebo Zebụlọn achụpụghị ndị Kenan bi
n’ala Kitrọn, maọbụ na Nahalol, kama ha mere ha ndị ohu na-arụ ọrụ ike. 31 Ọzọkwa,
ndị ebo Asha achụpụghị ndị niile bi n’Akọ, na Saịdọn, na Ahlab, na Akzib, na Helba,
na Afik, maọbụ Rehob. 32 Ndị Asha binyere n’etiti ndị Kenan bụ ndị bi n’ala ahụ,
n’ihi na ha achụpụghị ha. 33 Ndị ebo Naftalị achụpụghịkwa ndị bi na Bet-Shemesh,
maọbụ ndị bi na Bet-Anat. Kama ndị Naftalị binyere ndị Kenan bi n’ala ahụ. Ma ndị
bi na Bet-Shemesh, na Bet-Anat ghọrọ ndị ohu ndị Naftalị. 34 Ma banyere ndị ebo
Dan, ndị Amọrait chụpụrụ ha chụba ha n’elu ugwu. Ha ekwenyeghị ka ha rịdata
na ndịda ugwu ahụ. 35 Ma ndị Amọrait nọgidesịrị ike n’ugwu Heres, na Aijalon, na
Shaalbim, ma mgbe ike ebo Josef bara ụba, ha meriri ha, mee ha ndị ohu ha. 36 Oke
ala ụmụ ndị Amọrait malitere na mgbago Akrabim ruo, ma gafeekwa ebe a na-akpọ
Sela.

# 2

*Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ abịa Bokim*

1 Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ sitere na Gilgal bịa Bokim gwa ndị Izrel okwu sị ha, “Mụ
onwe m kpọpụtara unu site n’Ijipt, kpọbata unu n’ala a dịka m kwere nna unu ha
na nkwa. Asịrị m, ‘Agaghị m ala azụ imezu ọgbụgba ndụ mụ na unu, 2 unu na ndị
bi n’obodo ahụ agbakwala ndụ ọbụla, kama unu ga-etitu ebe ịchụ aja ha.’ Ma unu
erubeghị isi n’okwu a, gịnị mere unu emeghị nke a? 3 Agwara m unu, na ‘agaghị m
esite n’ihu unu chụpụ ha; ha ga-adịrị unu dịka ọnya n’akụkụ niile, ebe chi niile ha
ga-abụkwara unu ihe na-eweta ọnwụnwa.*’ ”†
4 Mgbe Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ ahụ kwusiri okwu ndị a, ụmụ Izrel niile kwara
akwa nke ukwuu. 5 N’ihi nke a, ha kpọrọ ebe ahụ Bokim. Ha chụụrụ ONYENWE ANYỊ
aja n’ebe ahụ.

*Nnupu isi na Mmeri*

6 Mgbe Joshua zilagasịrị ndị Izrel niile, onye ọbụla n’ime ha gara n’ihe nketa ya,
inweta ya, dịka ebo ọbụla dị n’Izrel si dị. 7 Ndị Izrel fere‡ONYENWE ANYỊ ofufe ụbọchị
niile nke ndụ Joshua, na nke ndụ ndị okenye ahụ, bụ ndị gara n’ihu bie ndụ mgbe ọ
nwụsịrị, bụkwa ndị hụrụ ọrụ ukwuu niile nke ONYENWE ANYỊ rụụrụ ndị Izrel.

* **2:3** 2:3 Maọbụ, Ihe ịma n’ọnya † **2:3** 2:3 Ọpụ 23:33; Dit 7:17 ‡ **2:7** 2:7 Maọbụ, gbasokwara

[8] Ma Joshua, nwa Nun, onyeozi ONYENWE ANYỊ nwụrụ, mgbe ọ gbara otu narị afọ,
na afọ iri. [9] E liri ya n'oke ala nke ihe nketa ya, n'obodo Timnat Heres, n'ala ugwu
ugwu nke ebo Ifrem, n'ụzọ mgbago ugwu Gaash.
[10] Emesịa, ọgbọ ahụ niile nwụrụ dịka ndị nna nna ha, ọgbọ ọzọ tolitere, ndị na-
amaghị ONYENWE ANYỊ maọbụ ihe ndị nke o mere§ nye ụmụ Izrel. [11] Mgbe ahụ,
ndị Izrel mere ihe ọjọọ n'anya ONYENWE ANYỊ site n'ife Baal ofufe. [12] Ha gbakụtara
ONYENWE ANYỊ azụ, bụ Chineke ahụ, nna ha fere ofufe, onye kpọpụtara ha site n'ala
Ijipt. Ma ha malitere ife na ịsọpụrụ, na ịkpọ isiala nye ọtụtụ chi dị iche iche, bụ chi
nke ndị bi ha gburugburu. Ha si otu a kpasuo ONYENWE ANYỊ iwe. [13] Ha gbakụtara
ONYENWE ANYỊ azụ, fee chi Baal na Ashtọret ofufe.* [14] Ya mere, ONYENWE ANYỊ† were
iwe megide Izrel, rara ha nye n'aka ndị ji aka ike pụnara ha ihe ha nwere. O weere
ha resi ndị iro ha gbara ha gburugburu, bụ ndị ha enwekwaghị ike iguzogide. [15] Dịka
ọ ṅụrụ ya n'iyi nye ha, mgbe ọbụla ụmụ Izrel pụrụ ibu agha, aka ONYENWE ANYỊ
megidere ha ime ka ha bụrụ ndị e meriri emeri. Ọnọdụ ha jọrọ njọ nke ukwuu.
[16] N'ihi ọnọdụ ọjọọ a, ONYENWE ANYỊ mere ka ndị ikpe sị n'etiti ha pụta, ịnapụta ha
site n'aka ndị a ji ike na-apụnara ha ihe ha nwere. [17] Ma ụmụ Izrel egeghị ndị ikpe
ahụ ntị, kama ha nọgidere na-akpọ isiala nye ma na-agbasokwa chi ndị ọzọ. Dịka
nna nna ha na-emeghị, ha mere ngwangwa wezuga onwe ha site n'ụzọ ONYENWE
ANYỊ, bụrụ ndị na-enupu isi n'ebe iwu ONYENWE ANYỊ dị. [18] Ma mgbe ọbụla ONYENWE
ANYỊ nyere ụmụ Izrel onye ikpe, ọ na-anọnyere onye ikpe ahụ ogologo ụbọchị niile
nke ndụ ya. Ọ na-esitekwa n'aka onye ikpe a napụta ụmụ Izrel n'aka ndị iro ha
n'ihi na ONYENWE ANYỊ nwere obi ebere n'ahụ ụmụ Izrel, mgbe ha na-asụ ude, n'ihi
mmegbu na mkpagbu niile ndị iro ha na-emegbu ha, ma na-akpagbukwa ha. [19] Ma
mgbe ọbụla onye ikpe a nwụrụ, ụmụ Izrel na-alaghachi azụ biwe ndụ ọjọọ karịa nke
nna nna ha ochie. Ha na-agbaso chi ndị ọzọ, na-akpọ isiala nye ha, na ife ha ofufe.
Ha jụrụ iwezuga agwa ọjọọ ha ndị a ma ọ bụkwa ụzụ isiike ha.
[20] N'ihi nke a, ONYENWE ANYỊ were iwe dị ọkụ megide Izrel, ma sị, "N'ihi na mba
a emebiela ọgbụgba ndụ ahụ m nyere nna ha n'iwu, jụkwa ige m ntị, [21] agaghị m
achụpụkwa site n'ihu ha mba ndị ahụ Joshua hapụrụ mgbe ọ nwụrụ. [22] Aga m eji
ha nwalee Izrel, ịchọpụta ma ha ga-elezi anya idebe ụzọ ONYENWE ANYỊ, gaakwa ije
n'ime ya dịka nna nna ha mere m." [23] ONYENWE ANYỊ hapụrụ mba ndị ahụ niile ka
ha nọgide. Ọ chụpụghị ha ngwangwa site na inyefe ha n'aka Joshua.

# 3

[1] Ndị a bụ aha mba dị iche iche ONYENWE ANYỊ hapụrụ n'ala ahụ iji nwapụta ndị
Izrel ahụ niile na-esoghị mgbe e buru agha n'ime ala Kenan. [2] O mere nke a naanị ka
ọ kuziere ọgbọ niile ndị Izrel ibu agha, bụ ndị ahụ na-amabeghị ihe agha bụ n'oge
gara aga. [3] Ndịisi ise nke ndị Filistia, na ndị Kenan niile, ndị Saịdọn na ndị Hiv, ndị
bi n'elu ugwu Lebanọn, site n'ugwu Baal-Hemon ruo na mbata obodo Hamat. [4] A ga-
esite na ndị a nwapụta okwukwe ụmụ Izrel ma ịmata ma ha ga-edebe iwu ONYENWE
ANYỊ sitere n'ọnụ Mosis nye nna nna ha ochie.
[5] N'ihi nke a, ụmụ Izrel biri n'etiti ndị Kenan, ndị Het, ndị Hiv, ndị Periz, ndị
Amọrait, na ndị Jebus. [6] Ha lụtaara onwe ha ụmụ ha ndị inyom na nwunye,*
werekwa ụmụ ha ndị inyom nye ụmụ ha ndị ikom, feekwa chi ha niile ofufe.

### *Otniel, onye ikpe*

[7] Ụmụ Izrel mere ihe jọrọ njọ n'anya ONYENWE ANYỊ. Ha chefuru ONYENWE ANYỊ
Chineke ha, malite ife chi Baal, na Ashera ofufe. [8] N'ihi ya, iwe ọkụ ONYENWE ANYỊ

§ **2:10** 2:10 Ya bụ, ọrụ ebube * **2:13** 2:13 Abụ 106:36 † **2:14** 2:14 Nkp 3:8; 2Ez 17:20 * **3:6** 3:6 Ọpụ 34:15-16; Dit 7:3-4; Jos 23:12

kpaliri megide ụmụ Izrel. Ọ raara ha nye n'aka eze Kushan Rishataim, eze Aram
Naharaim, onye ndị Izrel nọrọ n'okpuru ọchịchị ya afọ asatọ. 9 Ma mgbe ụmụ Izrel
kpọkuru ONYENWE ANYỊ, o mere ka Otniel, nwa Kenaz, bilie n'etiti ha. Otniel bụ
nwa nwanne Kaleb nke nta. Ọ bụkwa ya napụtara ụmụ Izrel site n'aka ndị iro ha.
10 Mmụọ ONYENWE ANYỊ bịakwasịrị ya, nke mere ka ọ bụrụ onye ikpe ndị Izrel, ọ pụrụ
ibu agha. ONYENWE ANYỊ nyefere Kushan Rishataim bụ eze ndị Aram n'aka Otniel,
onye ike ya karịrị nke ya. 11 Sitekwa n'oge ahụ gaa n'ihu, udo dịịrị n'ala niile iri afọ
anọ, mgbe Otniel na-ekpe Izrel ikpe. N'ikpeazụ, Otniel, nwa Kenaz nwụrụ.

### *Ehud*

12 Ụmụ Izrel bidoro ime ihe ọjọọ n'anya ONYENWE ANYỊ. Ya mere, ONYENWE ANYỊ
nyefere ha n'aka Eglọn, eze Moab. 13 Ọ kpọtara ndị Amọn† na ndị Amalek ka ha
dịnyere ya. Eglọn bịara buso ndị Izrel agha, nweta obodo Nkwụ, ya abụrụzia nke
ha. 14 Afọ iri na asatọ site n'oge ahụ ka ụmụ Izrel nọrọ n'okpuru ọchịchị Eglọn, eze
Moab.

15 Ma mgbe ụmụ Izrel tikuru ONYENWE ANYỊ banyere ọnọdụ ọjọọ ha, o zitere ha
onye nzọpụta. Aha nwoke ahụ bụ Ehud, nwa Gera, onye sitere n'agbụrụ Benjamin.
Ọ bụ onye na-eme aka ekpe. Ya onwe ya bụkwa onye na-ebugara Eglọn, eze Moab,
ego ụtụ niile ụmụ Izrel na-atụ kwa afọ. 16 Tupu ọ malite ije ya, o buru ụzọ kwadebere
onwe ya mma agha nwere ihu abụọ na nzuzo. Ogologo mma ahụ ga-eru ihe dịka site
n'ọnụ mkpịsịaka ruo n'isi mbụ aka. Ehud kekwasịrị mma ahụ n'apata ụkwụ aka nri
ya, yikwasị ya uwe mwụda ya. 17 O bunyere Eglọn, eze Moab ego ụtụ ahụ. Eglọn bụ
nwoke buru oke ibu. 18 Mgbe Ehud nyesịrị eze Eglọn ego ụtụ ahụ o ji bịa, o zilagara
ndị butere ego ahụ. 19 Mgbe ọ bịaruru nso n'obodo Gilgal, ebe arụsị dị iche iche a
pịrị apị dị, ọ laghachiri azụ jekwuru eze Eglọn sị ya, "Enwere m ozi m ga-ezi gị, ma
ọ ga-abụ na nzuzo."

Mgbe ahụ, eze zipụrụ ndị so ya nọdụ, ka ya na Ehud naanị nwee ike ịnọ kparịa
ụka ha na nzuzo.

20 Ehud bịakwutere ya mgbe ọ nọ naanị ya n'ọnụụlọ dị n'ime n'elu ụlọeze ya, sị,
"Enwere m ozi Chineke sị m zie gị." Dịka eze ahụ si n'oche ya bilite ọtọ, 21 Ehud
tinyere aka ekpe ya n'ime uwe ya, mịpụta mma ahụ nwere ihu abụọ nke o kegidere
n'apata ụkwụ aka nri ya. O weere ya mapuo eze Eglọn afọ. 22 Ọ bụladị isi mma ahụ
sooro ihu mma ahụ mibanye n'ime afọ ukwu eze Eglọn. Ọnụ mma ahụ pụtakwara
n'azụ eze ahụ. Ehud amịpụtaghị mma ahụ, kama abụba dị n'afọ eze ahụ kpuchiri
ya. 23 Ya mere, Ehud pụrụ n'ezi, mechibido ya ọnụ ụzọ niile e si abanye n'ọnụụlọ elu
ahụ, kpọchie ha.

24 Mgbe ọ pụchara, ndị na-ejere eze ozi bịara chọọ ịbanye n'ụlọ ahụ. Ma mgbe
ha hụrụ na a kpọchiri ọnụ ụzọ ụlọ ahụ akpọchi, ha kwuru n'onwe ha sị, "Ọ ga-abụ
na ọ na-anyụ nsị n'ụlọ mposi." 25 Ma mgbe oge dị anya gasịrị ma eze apụtaghị, ha
enweghị ike ijide onwe ha ọzọ. Ha weere ọtụghe ụzọ tụghee ọnụ ụzọ ahụ, hụ ebe
eze ha tọgbọrọ n'ala, nwụọ.

26 Mgbe ahụ ha nọ na-eche, Ehud gbapụrụ. O sitere n'ebe ahụ arụsị ndị ahụ a pịrị
apị dị gbafee, gbaga Seira. 27 Mgbe o ruru n'ebe ahụ, ọ fụrụ opi ike n'ala ugwu ugwu
Ifrem, ndị Izrel sooro ya site n'ugwu ahụ rịda, ya onwe ya na-edu ha.

28 Ọ sịrị ha, "Soronụ m n'azụ, n'ihi na ONYENWE ANYỊ enyela ndị Moab ndị iro unu
n'aka unu." Ya mere, ha sooro ya gbadaa, gaa nọchie ụzọ niile ndị Moab nwere
ike isi gafee osimiri Jọdan. Ha ekwekwaghị ka onye Moab ọbụla si n'ebe ahụ gafee.
29 N'ụbọchị ahụ, ha gburu puku ndị agha Moab iri, ha niile siri ike bụrụkwa dimkpa.

† **3:13** 3:13 Ndị Amọn bụ ndị si n'agbụrụ Lọt, nke a dị n'akwụkwọ Jen 19:38, ebe ndị Amalek si n'agbụrụ Ịsọ (ị ga-agụta nke a n'akwụkwọ Jen 36:12,16). Ọ bụghị naanị na ha bụ ndị agbataobi ndị Izrel, ma ha bụ ndị iro ka ndị iro niile nke ndị Izrel nwere (gụọ Dit 25:17-18).

O nweghị otu onye gbapụrụ. 30 N'ụbọchị ahụ, e mere ka Moab nọdụ n'okpuru ndị
Izrel. Ala ahụ nwere ozuzu ike na udo, iri afọ asatọ.

### *Shamga*

31 Mgbe Ehud chịsịrị, Shamga, nwa Anat rịgotara ịchị. O tigburu narị ndị Filistia
isii. Ọ bụ ndụdụ e ji achị ehi ka o ji tigbuo ha. Ya onwe ya kwa, zọpụtara ndị Izrel.

# 4

### *Debọra*

1 Mgbe Ehud nwụsịrị, ụmụ Izrel mekwara ihe ọjọọ megide ONYENWE ANYỊ. 2 N'ihi
ya, ONYENWE ANYỊ renyere ha n'aka Jabin, eze Kenan, onye chịrị n'obodo Hazọ. Aha
onyeisi ndị agha ya bụ Sisera, onye bi n'obodo a na-akpọ Heroshet Hagoyim. 3 N'ihi
na o nwere narị ụgbọ agha igwe itoolu, ma megbukwaa ụmụ Izrel nke ukwu iri afọ
abụọ, ha tikuru ONYENWE ANYỊ mkpu akwa, ka o nyere ha aka.
4 N'oge a, Debọra, bụ nwanyị na-ebu amụma, nwunye Lapidọt bụ onyendu ụmụ
Izrel. 5 Ọ na-anọ n'okpuru osisi nkwụ a na-akpọ Nkwụ Debọra, nke dị n'agbata
Rema na Betel, bụ n'ala ugwu ugwu Ifrem na-ekpe ikpe. N'ebe ahụ ka ụmụ Izrel
na-ejekwuru ya ka o doziere ha okwu ha niile. 6 O ziri ozi kpọọ Barak, nwa Abinoam,
onye bi n'obodo Kedesh, nke dị n'ime Naftalị, ọ sịrị ya, "ONYENWE ANYỊ Chineke ụmụ
Izrel na-enye gị iwu, 'Gaa chịkọtaa puku ndị agha iri bụ ndị sitere n'ebo Naftalị na
Zebụlọn, duru ha jeruo ugwu Taboa. 7 Aga m edute Sisera, ọchịagha ndị agha Jabin,
mee ka ọ bịaruo nso iyi ukwu Kishọn, ya na ụgbọ agha ya niile na ndị agha ya niile
ma nyefee ha n'aka gị.' "
8 Barak sịrị ya, "Ejikeere m ịga ma ọ bụrụ na ị ga-eso m. Ọ bụrụkwanụ na ị jụ iso
m, agaghị m aga."
9 Debọra sịrị, "Aghaghị m isoro gị jee ma n'ihi mkpebi gị n'ihe a, nsọpụrụ agaghị
abụ nke gị, n'ihi na ONYENWE ANYỊ ga-enyefe Sisera n'aka nwanyị." Ya mere, Debọra
biliri soro Barak jee obodo Kedesh. 10 Barak sitere n'ebo Zebụlọn na Naftalị kpọkọtaa
ndị ikom ga-eso ya jee agha ahụ, puku ndị agha iri ndị dịnyere ya. Debọra sokwa ya
jee.
11 N'oge a, Heba,* onye Ken, ahapụla ndị Ken ndị ọzọ, ndị bụ ụmụ ụmụ Hobab,
nwanne nwunye Mosis gaa maa ụlọ ikwu ya n'okpuru osisi ukwu dị na Zaananim,
nke dị nso Kedesh.
12 Mgbe ha gwara Sisera na Barak nwa Abinoam arịgorola n'elu ugwu Taboa,
13 Sisera kpọkọtara ndị agha ya niile, tinyere narị ụgbọ agha itoolu ya, site na
Haroshet Haroyim gaa n'iyi ukwu Kishọn.
14 Mgbe ahụ, Debọra sịrị Barak, "Gaa n'ihu! Taa bụ ụbọchị nke ONYENWE ANYỊ
nyefere Sisera n'aka gị. Ọ bụ na ONYENWE ANYỊ apụbeghị jee n'ihu gị?" N'ihi nke a,
Barak duuru puku ndị agha iri ahụ gbada ndịda ugwu Taboa. 15 Mgbe ahụ, ONYENWE
ANYỊ jiri mma agha ya chụsaa Sisera na ndị agha ya na ụgbọ agha igwe ha n'ihu
Barak. Sisera n'onwe ya hapụrụ ụgbọ agha ya jiri ụkwụ gbapụ ọsọ.
16 Barak na ndị agha ya chụrụ ndị agha ahụ ọsọ, ha na ụgbọ agha igwe ha niile,
chụruo ha Haroshet Hagoyim. Ha ji mma agha tigbuo ndị agha Sisera niile. Ọ
dịkwaghị otu onye n'ime ha fọdụrụ ndụ. 17 Ma Sisera gbapụrụ ọsọ gaa zoo onwe
ya n'ụlọ ikwu Jael, nwunye Heba, onye Ken. N'ihi udo dị n'etiti eze Jabin, onye Hazọ,
na ndị ezinaụlọ Heba, onye Ken.
18 Jael pụrụ ije zute Sisera sị ya, "Bịa Onyenwe m, bakwute m. Atụla ụjọ." Ya mere
na ọ bara n'ime ụlọ ikwu ya, o weere akwa ịchụ oyi kpuchie ya.

* **4:11** 4:11 Ezi mmekọrịta nke dị n'etiti ndị Izrel na ndị Ken, bidoro n'oge Mosis. Ọpụ 3:1 Ndị Ken nyeere ụmụ Izrel aka imeri ndị iro ha, mgbe ha na-achọ inweta Kenan bụ ala nkwa ahụ Nkp 1:16

19 Mgbe ahụ, ọ sịrị ya, “Akpịrị na-akpọ m nkụ, nyetụ m mmiri ka m ṅụọ.” O
meghere karama akpụkpọ mmiri ara ehi, nye ya ihe ọṅụṅụ, jirikwa akwa ahụ sachie
ya.
20 Sisera gwara nwanyị ahụ bụ Jael okwu sị, “Guzo n’ọnụ ụzọ ụlọ a. Ọ bụrụ na
onye ọbụla abịa jụọ gị, ‘O nwere onye gbabatara n’ebe a?’ sị ya, ‘Mba.’ ”
21 Ike gwụrụ nnọọ Sisera. Mgbe ahụ, ọ malitere ịrahụ ụra, Jael, nwunye Heba,
wepụtara otu ǹtu e ji a kpọgide ụlọ ikwu ahụ n’ala, werekwa mkpirisi igwe n’aka ya.
O jiri nwayọọ jekwuuru Sisera ebe o dina na-arahụ ụra, kpọọ ya ǹtu ahụ n’egedege
ihu ya. Otu a ka Sisera si nwụọ.
22 Mgbe Barak bịara ịchọ Sisera, Jael jekwuru ya sị, “Bịa ka m gosi gị nwoke ahụ
ị na-achọ.” Barak sooro ya jee, ma lee, Sisera anwụọlarị site na ǹtu ahụ a kpọrọ ya
n’isi.
23 N’ụbọchị ahụ, Chineke meriri Jabin, eze ndị Kenan n’ihu ụmụ Izrel. 24 Aka ụmụ
Izrel bụ nke dị ike na-adịkwa ike nke ukwu megide Jabin bụ eze Kenan ruo mgbe ha
lara ya n’iyi.

# 5

*Abụ Debọra*

1 N’ụbọchị ahụ, Debọra na Barak nwa Abinoam bụrụ abụ* sị,
2 “Mgbe ndị ndu na-edu n’Izrel,
mgbe ndị mmadụ jikwa afọ ofufu nye onwe ha,
toonu ONYENWE ANYỊ!

3 “Nụrụnụ nke a, unu ndị eze, Geenụ ntị, unu ndịisi!
Mụ onwe m, ọ bụladị mụ onwe m, ga-abụku Onyenwe anyị abụ.
Aga m abụ abụ otuto nye ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke Izrel.

4 “ONYENWE ANYỊ, mgbe i si Sia pụta,
mgbe i sitere n’ala Edọm gabiga,†
ụwa mara jijiji, mmiri ozuzo dị ukwuu
sikwa na mbara eluigwe zodata.
5 E, ọ bụladị ugwu ukwu niile mara jijiji n’ihu ONYENWE ANYỊ.
Ugwu Saịnaị makwara jijiji n’ihu ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel.

6 “N’ụbọchị Shamga, nwa Anat,
n’ụbọchị Jael, ndị ịnyịnya ibu na-azụ ahịa n’ọzara kwusịrị,
ndị ije niile na-esi n’akụkụ ụzọ gbagọrọ agbagọ na-aga.
7 Ọ dịkwaghị ihe gara aga n’obodo Izrel,
tutu ruo mgbe m bịara,
ee, mgbe m bụ Debọra bịara dịka nne nye Izrel.
8 Mgbe ụmụ Izrel họrọ ife chi ndị ọzọ ofufe,
mgbe agha bịara n’ọnụ ụzọ ama niile,
ahụghị ọ bụladị otu ụta maọbụ ùbe.‡
E, ọ bụladị n’etiti iri puku ndị agha anọ, a hụghị otu ngwa agha ọbụla.
9 Ma ugbu a, ana m aṅụrị ọṅụ banyere ndị na-achị ụmụ Izrel.
Ndị ji obi ha niile were onwe ha nye n’etiti ndị Izrel.
Toonu ONYENWE ANYỊ!

* **5:1** 5:1 Banyere mmeri ahụ dị ukwu † **5:4** 5:4 Duuru anyị gabiga ọzara Edọm ‡ **5:8** 5:8 Ndị iro ha ekwekwaghị ka onye Izrel ọbụla jide ngwa agha ọbụla.

10 “Kwupụtanụ ya, unu ndị na-agba ịnyịnya ibu dị ọcha,
unu ndị na-anọkwasị n’elu akwa dị oke ọnụahịa n’elu ịnyịnya unu,
na unu ndị na-eji ukwu na-agagharị n’okporoụzọ.
Tụleenụ 11 olu abụ igwe mmadụ ndị nọ n’akụkụ olulu mmiri niile.
Ha na-akọ akụkọ mmeri niile nke ONYENWE ANYỊ,
ya bụ, mmeri nke obodo nta ya niile n’Izrel.

“Mgbe ahụ, ndị nke ONYENWE ANYỊ
ridara gaa n’ọnụ ụzọ ama niile e si abata n’obodo.
12 ‘Teta, teta, gị Debọra!
Teta, teta, bụọ abụ.
Bilie, gị Barak nwa Abinoam, bilie!
Duru ndị ahụ niile ị dọtara n’agha.’

13 “Ndị fọdụrụ na ndị a na-asọpụrụ rịdatara,
ndị nke ONYENWE ANYỊ bịakwutere m imegide ndị dị ike.
14 Ụfọdụ si Ifrem bịa, bụ ndị ahụ nwere mgbọrọgwụ n’ala ndị Amalek,
ndị Benjamin sokwa pụta,
ndị ndu sikwa Makia bịa,
ndị na-eso ndị ndu sikwa Zebụlọn pụta.
15 Ndị ndu ebo Isaka pụkwutekwara Debọra.
E, Isaka sokwara Barak
na ndagwurugwu ahụ ka ezigara ha n’okpuru ya.
Ma n’etiti ndị Ruben,
ha nọ na-atụgharị uche.
16 Gịnị mere unu ji nọdụ n’etiti ọgba atụrụ,
ịnụ ụda ọja a na-egburu igwe atụrụ?
N’etiti obodo niile nke Ruben,
ka e nwere ọtụtụ ntụgharị uche.
17 Ndị Gilead nọgidere n’ofe ọzọ nke osimiri Jọdan.
Ndị Dan nọgidekwara n’ime ụgbọ mmiri ha.
Ndị Asha nọgidere n’ahụ udo
n’akụkụ ọnụ mmiri.
18 Ma ndị Zebụlọn na Naftalị jiri ndụ ha chụọ aja,
pụọ n’ọzara ibu agha ahụ.

19 “Ndị eze ala Kenan bịara ọgụ na Teanak,
n’akụkụ mmiri ala Megido.
Ma ha enweghị mmeri ọbụla.
Ha akwataghị ọlaọcha maọbụ ihe nkwata ọzọ n’agha.
20 Ọ bụladị kpakpando niile
dị na mbara eluigwe lụrụ ọgụ megide Sisera.
21 Mmiri na-achị ọkụ nke iyi ukwu Kishọn bupụrụ ha niile.
Ya mere, mkpụrụobi m gaa n’ihu,
zoo ụkwụ gị n’ala, dị ike dịka ọdụm!
22 Gee ntị nụrụ ụda nzọ ụkwụ nke ịnyịnya ndị iro.
Leekwa mwuli elu nke ụkwụ ịnyịnya ahụ!
23 Ma Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ sịrị,

'Bụọ Meroz§ ọnụ.'
'Bụọ ndị bi na ya ọnụ ebe ọ dị ukwuu,
n'ihi na ha abịaghị nyere ONYENWE ANYỊ aka imeri ndị iro ya.'

24 "Onye a gọziri karịchasịa ka Jael,
nwunye Heba onye Ken bụ,
e, onye a gọziri karịchasịa ndị inyom niile na-ebi n'ụlọ ikwu.
25 Nwoke ahụ rịọrọ mmiri, ma o nyere ya mmiri ara ehi,
o ji iko kwesiri ndị a na-asọpụrụ nye ya mmiri ara ehi rahụrụ arahụ.
26 O setịpụrụ aka ya were ǹtu ji ụlọ ikwu ahụ,
aka nri ya welitere mkpirisi igwe nke onye ọrụ ji arụ ọrụ.
Ọ kpọrọ ya Sisera otu mkpọ, kpọrie ya isi,
ọ kpọwasịrị, ma kpọmie ǹtu ahụ n'egedege ihu ya.
27 N'ụkwụ ya ka o milara n'ala,
n'ebe ahụ ọ dara, ka o dinara.
N'ụkwụ ya ka o milara n'ala, n'ebe ọ dara,
n'ebe ahụ o milara n'ala, n'ebe ahụ ọ dara nwụọ.

28 "Nne Sisera si na oghereikuku lepụ anya
n'azụ oghere ịnata ikuku, o tiri mkpu,
'Gịnị mere ụgbọala igwe ya ji anọ ọdụ ịbịa?
Gịnị ji na mkpọtụ ụkwụ ụgbọala ya adawabeghị?'
29 Ma otu n'ime ndị inyom na-ejere ya ozi, nke makarịsịrị ibe ya n'ihe.
E, ya onwe ya kwukwara sị,
30 'Ọ bụ na ha adịghị achọta ma na-ekekwa ọtụtụ ihe a kwatara n'agha:
onye agha ọbụla ga-eketa otu nwaagbọghọ, maọbụ abụọ.
Sisera ga-enweta uwe nwere ọtụtụ agwa dị iche iche,
uwe nwere ọtụtụ agwa ndị a kpara nke ọma
uwe ndị akpaziri nke ọma maka ịnya n'olu m,
ihe ndị a niile dịka ihe nkwata n'agha?'

31 "ONYENWE ANYỊ, biko, ka ndị iro gị niile si otu a laa n'iyi.
Ka ndị niile hụrụ gị n'anya nwupụta ihe dịka anyanwụ
mgbe o biliri n'ike."
E nwere izuike n'ala ahụ iri afọ anọ.

# 6

*Gidiọn*

1 Ọzọkwa, ụmụ Izrel mere ihe ọjọọ n'anya ONYENWE ANYỊ, n'ihi ya, ONYENWE ANYỊ
nyefere ha n'aka ndị Midia* afọ asaa. 2 N'ihi na ndị Midia mekpara ha ahụ nke
ukwuu, ụmụ Izrel meere onwe ha ebe obibi n'ugwu, n'ime ọgba nkume, na n'ebe e
wusiri ike dị iche iche. 3 Mgbe ọbụla ndị Izrel ghasịrị mkpụrụ n'ubi ha, ndị Midia, ndị
Amalek na ụfọdụ ndị ọzọ si n'ọwụwa anyanwụ na-abịa buso ha agha. 4 Ha na-ebichi
ala ahụ, bibie ihe niile a kụrụ n'ubi n'ala ahụ niile ruo na Gaza. O nweghị ihe ọbụla
dị ndụ ndị Izrel nwere, ma atụrụ, ma ehi, ma ịnyịnya ibu, ha na-ahapụ. 5 Dịka usuu

§ **5:23** 5:23 Meroz bụ obodo dị n'ebo Naftalị. Ha esonyeghị ndị Izrel mgbe ha na-alụ agha, ha e nyeghịkwa aka jide ndị iro Izrel e meriri emeri, mgbe ha na-agbapụ ọsọ ndu, ya mere e ji bụọ ha ọnụ. * **6:1** 6:1 Ndị Midia, bụ ndị si n'otu agbụrụ n'ime ụmụ ndị Ketura mụtara Ebraham.

igurube ka ha na-abịa, ha na anụ ụlọ ha niile, na ụlọ ikwu ha niile. Ọnụọgụgụ ha dị
ukwuu ruo na-apụghị ịgụta ole ha dị, maọbụ ịnyịnya kamel ha. Ha na-abata n'ala
ahụ n'ihi ibibicha ya. 6 Site n'omume ọjọọ ndị a, e mere ka ụmụ Izrel bụrụ ndị dara
ụbịam nke ukwuu n'ihi ọchịchị ndị Midia. N'ikpeazụ, ụmụ Izrel tikuru ONYENWE
ANYỊ ka o nyere ha aka.
7 Mgbe ụmụ Izrel tikuru ONYENWE ANYỊ n'ihi mkpagbu ndị Midia na-akpagbu ha,
8 ONYENWE ANYỊ zitere onye amụma, onye gwara ha okwu sị, "Ihe a bụ ihe ONYENWE
ANYỊ Chineke nke Izrel kwuru, Esi m n'ala Ijipt, ala ahụ unu bụ ndị ohu n'ime ya,
kpọpụta unu. 9 Anapụtara m unu site n'aka ike ndị Ijipt na site n'aka ndị niile
kpagburu unu, chụpụ ha site n'ihu unu, ma nye unu ala ha. 10 Agwara m unu sị, 'Mụ
onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu. Unu efela chi niile nke ndị Amọrait, ndị unu
bi n'ala ha.' Ma unu jụrụ ige m ntị."
11 Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ bịara nọdụ ọdụ n'okpuru osisi ukwu ook dị n'Ofra, n'ala
ubi Joash, onye obodo Abieza, ebe nwa ya a na-akpọ Gidiọn nọ na-azọcha mkpụrụ
ọka wiiti n'ime ebe ịzọcha mkpụrụ vaịnị n'ihi na ọ na-ezo onwe ya ka ndị Midia
hapụ ịhụ ya anya. 12 Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ pụtara ihe n'ebe ahụ gwa ya okwu sị,
"Gị dike na dimkpa n'agha, ONYENWE ANYỊ nọnyeere gị."
13 Gidiọn zara sị, "Biko onyenwe m, ma ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ nọnyeere anyị,
gịnị mere ihe ndị a niile ji na-adakwasị anyị? Ebeekwanụ ka ihe ịrịbama ahụ niile
dị nke nna anyị ha gwara anyị sị, 'Ọ bụghị site n'Ijipt ka ONYENWE ANYỊ siri gbapụta
anyị?' Ma ugbu a, ONYENWE ANYỊ ajụla anyị, hapụ anyị n'aka ndị Midia ka ha laa
anyị n'iyi."
14 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ nyere ya iwu sị ya, "Ngwa, jiri ike gị dị ukwuu pụọ,
gaa ka ị gbapụta ụmụ Izrel site n'aka ndị Midia. Mụ onwe m na-ezigakwa gị."
15 Ma Gidiọn sịrị ya, "Biko, Onyenwe m, olee otu m ga-esi zọpụta Izrel? Lee, esi
m n'ikwu dịkarịsịrị nta n'ime Manase pụta. Mụ onwe m bụkwa onye dịkarịsịrị ala
n'ezinaụlọ m."
16 Ma ONYENWE ANYỊ zara sị ya, "Mụ onwe m ga-anọnyere gị. Ị ga-ebibikwa ndị
Midia niile."
17 Gidiọn zaghachiri sị, "Ọ bụrụ na m achọtala ihuọma n'anya gị, nye m ihe ịrịbama
nke ga-egosi na ọ bụ gị n'ezie na-agwa m okwu. 18 Biko esikwala ebe a pụọ ruo mgbe
m lọghachiri weta onyinye m ga-eche n'ihu gị."
ONYENWE ANYỊ zara sị ya, "Aga m eche ruo mgbe ị lọghachiri."
19 Gidiọn mere ngwangwa laa n'ụlọ ya, gbuo otu nwa ewu, sie ya. O jikwa ụtụ
ọka mee achịcha, nke ihe na-eko achịcha na-adịghị n'ime ya. Emesịa, o tinyere anụ
ahụ n'ime nkata, wụnyekwa ofe n'ime ite, buru ha jekwuru Mmụọ ozi ahụ, ebe ọ nọ
na-eche ya n'okpuru osisi ook ahụ.
20 Mmụọ ozi nke Chineke sịrị ya, "Were anụ a na ogbe achịcha ahụ na-ekoghị eko,
tụkwasị ha n'elu nkume a, wụpụkwa ofe ahụ." Gidiọn mere otu a. 21 Mgbe Mmụọ ozi
ONYENWE ANYỊ ahụ metụrụ ọnụ mkpanaka ahụ nke dị n'aka ya n'elu anụ na achịcha
ahụ na-ekoghị eko. Ọkụ sitere n'oke nkume ahụ nwuru, rechapụ anụ ahụ na achịcha
n'ekoghị eko ahụ. Mmụọ ozi nke ONYENWE ANYỊ ahụ gbara barịị site n'ihu ya. 22 Mgbe
Gidiọn ghọtara na ọ bụ Mmụọ ozi nke ONYENWE ANYỊ, o tiri mkpu akwa sị, "Ewoo!
Onyenwe m ONYENWE ANYỊ! Ahụla m Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ ihu na ihu!"
23 Ma ONYENWE ANYỊ sịrị ya, "Udo dịrị gị, atụla egwu! Ị gaghị anwụ."
24 Ya mere, Gidiọn wuuru ONYENWE ANYỊ ebe ịchụ aja n'ebe ahụ, kpọọ ya, ONYENWE
ANYỊ bụ Onye Udo. Ụlọ nchụaja ahụ dịkwa n'ime obodo Ofra n'ala ndị Abieza ruo
taa.
25 N'abalị ụbọchị ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Gidiọn okwu sị ya, "Were oke ehi nna
gị, bụ oke ehi nke abụọ, nke gbara afọ asaa. Dọtuo ebe ịchụ aja nna gị wuru maka
Baal, gbutukwaa ogidi osisi Ashera dị n'akụkụ ya. 26 Mgbe ahụ, wuoro ONYENWE ANYỊ

bụ Chineke gị ebe ịchụ aja, n'elu ebe a dị oke elu. Jiri osisi Ashera ahụ nke ị gbuturu
kwanye ọkụ, chụọ oke ehi nke abụọ ahụ dịka aja nsure ọkụ."

27 Ya mere, Gidiọn duuru mmadụ iri site na ndị na-ejere ya ozi, ndị nyeere ya aka
imezu ihe niile dịka Onyenwe anyị nyere ya n'iwu. Kama, site n'egwu maka ndị ikwu
nna ya, na ndị bi n'obodo ahụ, o mere ihe ndị a niile n'ime abalị.

28 Mgbe chi bọrọ, mgbe ndị obodo ahụ malitere ijeghari, ha hụrụ na a kwatuola ebe
ịchụ aja Baal, hụkwa na e gbutuola ogidi osisi Ashera dị n'akụkụ ya, ma werekwa
oke ehi nke abụọ chụọ aja n'elu ebe ịchụ aja ọhụrụ ahụ!

29 Ha jụrịtara onwe ha ajụjụ sị, "Onye mere ihe dị otu a?"

Mgbe ha ji nwayọọ jụgharịa ajụjụ, a gwara ha sị, "Ọ bụ Gidiọn nwa Joash mere
ya."

30 Ndị obodo ahụ sịrị Joash, "Kpụpụta nwa gị. Ọ ga-anwụrịrị, n'ihi na ọ kwadala
ebe ịchụ aja Baal, gbutuo ogidi osisi Ashera, nke dị n'akụkụ ya."

31 Ma Joash tinyere ọnụ jụọ ha ajụjụ sị ha, "Baal, ọ gwara unu na ọ chọrọ ka unu
nyere ya aka? Unu na-achọ ịzọpụta ya? Onye ọbụla wepụtara onwe ya maka ịlụrụ
Baal ọgụ ga-anwụ tupu chi echi abọọ. Ọ bụrụ n'ezie na Baal bụ chi, hapụnụ ya ka o
tigbuo onye ahụ mebiri ebe ịchụ aja ya." 32 Ya mere, n'ụbọchị ahụ, ha malitere ịkpọ
Gidiọn "Jerub-Baal." Ha kwuru sị, "Ka Baal lụọrọ onwe ya ọgụ," n'ihi na ọ kwadara
ebe ịchụ aja Baal.

33 Mgbe na-adịghị anya, usuu ndị agha Midia, na ndị Amalek, na obodo niile gbara
ha gburugburu jikọtara onwe ha n'otu, bịa ibu agha megide ụmụ Izrel. Ha niile
gafere osimiri Jọdan, bịaruo na Ndagwurugwu Jezril ebe ha mara ụlọ ikwu. 34 Mgbe
ahụ, Mmụọ Nsọ Onyenwe anyị bịakwasịrị Gidiọn. Ọ fụrụ opi ike nke o ji kpọkọta
ndị agha ka ha zukọọ. Ndị agha niile si n'ikwu Abieza pụkwutere ya. 35 Otu aka
ahụ, o zipụrụ ndị ozi ka ha jekwuru ndị agha ndị Manase, na nke ndị Asha, na nke
ndị Zebụlọn, na nke ndị Naftalị, ịkpọ ha ka ha bịa soro ya gaa ibu agha. Ha niile
kwenyere pụkwute ya maka agha ahụ.

36 Gidiọn sịrị Chineke, "Ọ bụrụ n'ezie na ị ga-azọpụta Izrel site n'aka m dịka i kwere
na nkwa, 37 lee, aga m edebe ajị anụ n'ebe ịzọcha ọka. Ọ bụrụ na igirigi adakwasị
naanị n'elu ajị anụ ahụ ma ala ebe ọ tọgbọ gbakọọ agbakọ, mgbe ahụ aga m amata
na ị ga-anapụta Izrel site n'aka m, dịka ị kwuru." 38 Ihe a mezukwara dịka Gidiọn si
rịọọ ya. Mgbe chi bọrọ, ọ gara welite ajị anụ ahụ chọpụta na o jupụtara na mmiri.
Mmiri o si na ya pịpụta juru otu efere miri emi.

39 Mgbe ahụ, Gidiọn sịrị Chineke, "Ka iwe gị ghara ịdị ọkụ megide m. Ka m rịọkwuo
naanị otu ihe ọzọ. Kwere ka m jiri ajị anụ a nwalee otu ugboro ọzọ, kama n'oge a, mee
ka mmiri ghara ịdị n'ajị anụ ahụ, ma ka igirigi jupụta n'ala ebe ọ tọgbọ." 40 N'abalị
ahụ, Chineke mere otu a. Ala niile gbaa gburugburu dere mmiri site n'igirigi, ma
mmiri ọbụla adịghị n'ajị anụ ahụ.

# 7

*Gidiọn emerie ndị Midia*

1 Jerub-Baal, onye bụkwa Gidiọn, na ndị agha ya niile biliri n'isi ụtụtụ, maa ụlọ
ikwu ha n'isi iyi Harod. Ma ndị agha Midia mara ụlọ ikwu nke ha n'akụkụ ugwu ebe
ndị Izrel nọ, n'ime ndagwurugwu nke dị nso n'ugwu nta More. 2 Mgbe ahụ, Onyenwe
anyị gwara Gidiọn okwu sị ya, "Lee, ndị ikom gị dị ọtụtụ. Agaghị m enyefe ndị Midia
n'aka ha, ma ọ bụghị otu a, Izrel ga-anya isi megide m, sị, 'Ike aka m azọpụtala m.'*
3 Ugbu a, maa ọkwa nye ndị agha sị ha, 'Onye ọbụla ụjọ na-atụ, ya hapụ ugwu Gilead

* **7:2** 7:2 Ịdị ọtụtụ nke ọnụọgụgụ ndị agha ha

laghachi azụ.' " N'ihi nke a, iri puku ndị agha abụọ na abụọ laghachiri azụ n'ụlọ nke
aka ha. Ma ndị agha dị puku iri n'ọnụọgụgụ fọdụrụ.
4 Ma ONYENWE ANYỊ gwara Gidiọn, sị ya, "Lee, ndị agha gị ka dị ọtụtụ. Duru ha
gbada na mmiri ala, m ga-anwale ha ma webilatara gị ọnụọgụgụ ha n'ebe ahụ. Ọ
bụrụ na m sị, 'Onye nke a ga-eso gị jee,' ọ ga-eje, ma ọ bụrụ na m sị, 'Onye nke a
agaghị eso gị jee,' ọ gaghị eso jee."
5 Ya mere, Gidiọn duuru ha bịa na mmiri ala ahụ. N'ebe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara
ya okwu sị ya, "Kewapụ ndị ji ire ha rachara mmiri dịka nkịta, site na ndị ahụ gburu
ikpere n'ala ịṅụ mmiri." 6 Ọ bụ naanị narị ndị agha atọ ji ọbụ aka ha kwọlịte mmiri
ha ṅụrụ. Ma ndị agha fọdụrụ gburu ikpere ha abụọ n'ala tinye ọnụ ha na mmiri,
ṅụọ mmiri.
7 ONYENWE ANYỊ sịrị Gidiọn, "Ọ bụ narị ndị ikom atọ ndị a raara mmiri ka m ga-eji
zọpụta gị, ma rarakwa ndị Midia nye gị n'aka. Zilaga ndị fọdụrụ ka ha laa n'ụlọ nke
aka ha." 8 Gidiọn zilagara ndị Izrel ndị a n'ụlọ ikwu ha ma hapụ naanị narị mmadụ
atọ ndị napụtara ndị ahụ na-ala ala ngwongwo niile ha ji ebu agha, na opi ike.
Ndị Midia mara ụlọ ikwu ha na ndagwurugwu, n'ebe na-adịghị anya site n'ebe
Gidiọn nọ. 9 N'abalị ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Gidiọn okwu sị ya, "Bilie, gaa lụso
ọmụma ụlọ ikwu ahụ agha, n'ihi na ana m aga inyefe ha n'aka gị. 10 Ma ọ bụrụ na
ụjọ na-atụ gị ibuso ha agha, duru Pura onyeozi gị gaa nso n'ọmụma ụlọ ikwu ahụ,
11 ṅaa ntị, nụrụ ihe ha na-ekwu. Emesịa, ị ga-abụ onye a gbara ume ibu agha megide
ọmụma ụlọ ikwu ahụ." Ya mere, ya na Pura onyeozi ya gara n'ebe dị nso, n'ebe ndị
nche ọmụma ụlọ ikwu ahụ nọ. 12 Ma lee, usuu ndị agha Midia, na ndị Amalek, na
ndị obodo ndị ọzọ ahụ si n'ọwụwa anyanwụ bịa jupụtara na ndagwurugwu ahụ dị
ka igurube. N'ezie, ịnyịnya kamel ha dị ọtụtụ, dịka aja dị n'akụkụ oke osimiri.
13 Gidiọn rutere mgbe otu onye nọ na-akọrọ enyi ya banyere nrọ ọ rọrọ. Ọ na-asị,
"Arọrọ m nrọ, ebe otu ogbe achịcha dị gburugburu, e ji ọka balị mee dabatara n'ime
ụlọ ikwu ndị Midia. O ji ike dị egwu tie ụlọ ikwu a, nke mere na ụlọ ikwu a dajiri,
kpuo ihu n'ala."
14 Onye ibe ya zara sị, "Nke a abụghị ihe ọzọ karịa mma agha Gidiọn nwa Joash,
onye Izrel na-aga ịbịakwute anyị n'ebe a. Chineke enyefeela ndị Midia na ụlọ ikwu
ya niile n'aka ya."
15 Mgbe Gidiọn nụrụ nrọ ahụ, na nkọwa ya, ọ kpọrọ isiala kelee Chineke. Ọ
laghachiri na ọmụma ụlọ ikwu ndị Izrel sị ha, "Bilienụ ọtọ! N'ihi na ONYENWE ANYỊ
enyefeela unu ọmụma ụlọ ikwu ndị Midia n'aka." 16 O kewara ndị agha ya ụzọ atọ,
nyekwa onye ọbụla n'ime ha opi ike, na ite aja nke iheọkụ dị n'ime ya.
17 Ọ sịrị ha, "Unu na-ele m anya, meekwa ihe m na-eme. Mgbe anyị bịaruru nso na
mpụta ebe ụlọ ikwu ahụ dị, meenụ ihe ọbụla unu hụrụ m mere. 18 Mgbe ọbụla mụ
na ndị so m n'azụ fụrụ opi ike anyị, unu niile ga-afụkwa opi ike unu n'akụkụ ọbụla
unu nọ, tie mkpu, sị, 'Anyị dịnyere ONYENWE ANYỊ, dịnyekwara Gidiọn.' "
19 N'abalị ahụ, mgbe etiti abalị ahụ gabigasịrị, Gidiọn na narị ndị agha ya gbeere
egbere ruo na mpụta ebe ndị agha Midia mara ụlọ ikwu ha. N'oge a, ha ka gbanwere
ndị agha na-eche nche. 20 Ụzọ ndị agha Gidiọn atọ ahụ fụrụ opi ike ha, tiwakwaa ite
aja ha. Ha ji ọwaọkụ ndị ahụ n'aka ekpe ha na opi ike ha gaje igbu n'aka nri ha, ha
tiri mkpu sị, "Mma agha ONYENWE ANYỊ, na mma agha Gidiọn!" 21 Onye ọbụla n'ime
ha guzoro n'ebe o kwesiri ịnọ gburugburu ọmụma ụlọ ikwu ahụ. Ndị Midia niile
malitere ịgba ọsọ, na-etikwa mkpu akwa mgbe ha na-agbalaga.
22 Mgbe ha fụrụ narị opi ike atọ ndị ahụ, ONYENWE ANYỊ mere ka ndị ikom niile nọ
n'akụkụ niile nke ọmụma ụlọ ikwu ahụ tụgharịa were mma agha gburịta onwe ha.
Ndị agha ahụ gbapụrụ ọsọ gbara gaa Bet-Shita n'ụzọ Zerera, gbarukwaa nke oke ala
Ebel-Mehola, nke dị nso Tabat. 23 A kpọpụtara ndị Izrel si Naftalị, na Asha na Manase

niile ka ha pụta chụso ndị Midia ọsọ. 24 Gidiọn ziri ozi n’ala ugwu ugwu Ifrem sị ha,
“Pụtanụ gbochie ụzọ niile ndị Midia si agbafe. Cheenụ ọnụ mmiri Jọdan niile nche
ruo na Bet-Bara.”
Ya mere, a kpọpụtara ndị ikom niile nọ na Ifrem, bụ ndị gbochiri mmiri Jọdan ruo
na Bet-Bara. 25 Ha jidekwara ọchịagha ndị Midia abụọ, ndị aha ha bụ Oreb na Zeeb.
Ha gburu Oreb n’elu nkume nke na-aza aha ya ruo taa. E gbukwara Zeeb n’ebe a
na-azọcha vaịnị. Ebe ahụ na-azakwa aha Zeeb ruo taa. Ha bipụrụ Oreb na Zeeb isi
buru ha jekwuru Gidiọn n’akụkụ osimiri Jọdan.

# 8

*Zeba na Zalmuna*

1 Ndị Ifrem jụrụ Gidiọn ajụjụ sị ya, “Gịnị mere i ji meso anyị mmeso dị otu a? Ọ
bụ gịnị mere i zighị ozi kpọ anyị mgbe ị gara ibuso ndị Midia agha?” Ha tara ya ụta
nke ukwuu.
2 Ma Gidiọn zaghachiri ha sị, “Gịnị ka m rụpụtara e ji atụnyere nke unu. Ọ bụ
na ntụtụkọta ihe ubi Ifrem adịghị mma karịa owuwe ihe ubi nke Abieza? 3 Chineke
nyefere unu Oreb na Zeeb, ndị ndu Midia, n’aka. Gịnị ka m rụpụtara a ga-eji tụnyere
nke unu?” Okwu a mere ka ọnụma ha n’ebe ọ nọ dajụọ.
4 N’oge a, Gidiọn gabigara, gafee osimiri Jọdan, ya na narị ndị agha atọ so ya. Ike
gwụrụ ha nke ukwuu ma ha nọgidere na-achụsi ndị iro ha ọsọ ike. 5 Ọ sịrị ndị ikom
Sukọt, “Nyetụnụ ndị agha m achịcha n’ihi na ike gwụrụ ha. Ana m na-achụso Zeba
na Zalmuna, ndị eze Midia ọsọ.”
6 Ma ndịisi Sukọt sịrị, “Anyị ga-esi aṅaa nye ndị agha gị achịcha? Ijidela Zeba na
Zalmuna n’aka gị?”
7 Mgbe ahụ, Gidiọn zaghachiri, “N’ihi nke a, mgbe ONYENWE ANYị nyefere m Zeba
na Zalmuna n’aka, aga m eji ogwu na ụga na-epu n’ọzara dọkasịa unu ahụ.”
8 O sitere n’ebe ahụ gaa Peniel* rịọkwaa ndị obodo ahụ otu arịrịọ ahụ. Ma otu
ụdị ọsịsa ahụ ndị Sukọt nyere ka ndị Peniel nyekwara. 9 Ya mere, ọ gwara ndị ikom
Peniel sị, “Mgbe m nwere mmeri lọta, aga m akwatu ụlọ elu a.”
10 N’oge a, Zeba na Zalmuna na puku ndị agha iri na ise fọdụụrụ ha nọ na Kako. Ndị
a bụ naanị ndị agha fọdụrụ n’ime usuu ndị agha ndị Midia niile. N’ihi na ọnụọgụgụ
ndị agha e gburu egbu dị narị puku na iri puku abụọ. 11 Gidiọn rigoro site ụzọ ndị
na-achị anụ ụlọ nke dị n’ọwụwa anyanwụ obodo Nọba na Jogbeha, bịakwasị ndị
agha ahụ na mberede n’ihi na ha nọ n’atụghị egwu ihe ọbụla ime ha. 12 Zeba na
Zalmuna, eze abụọ ndị Midia, gbapụrụ ọsọ, ma Gidiọn na ndị agha ya chụgidere ha
ọsọ, jide ha. Ha gweriri ndị agha ha niile.
13 Emesịa, Gidiọn nwa Joash, sitere n’okporoụzọ Heres lọta agha ahụ. 14 N’ebe
ahụ ka Gidiọn nọ jide otu nwokorobịa onye Sukọt. O jụrụ ya ajụjụ, nwokorobịa ahụ
depụtakwaara ya aha ndịisi obodo Sukọt. Ha dị iri asaa na asaa, ndị okenye obodo
ahụ. 15 Mgbe Gidiọn bịaruru obodo Sukọt, ọ gwara ha okwu sị, “Ngwa leenụ Zeba
na Zalmuna ndị unu kparịrị m maka ha, kwuo sị, ‘Ijidela Zeba na Zalmuna n’aka gị
ugbu a nke mere na anyị ga-enye ndị ikom gị ike gwụrụ achịcha?’ ” 16 O jidere ndị
okenye obodo ahụ, were ogwu na ụga taa ndị ikom Sukọt ahụhụ ime ka ha mara ihe.
17 Ọ kwaturu ụlọ elu Peniel gbukwaa ndị ikom obodo ahụ niile.
18 Mgbe ahụ, ọ jụrụ Zeba na Zalmuna, “Ndị ikom dị aṅaa ka unu gburu na Taboa?”
Ha zara sị ya, “Ha nwere ụdịdị ka gị onwe gị, onye ọbụla nwere ụdịdị dịka nwa
eze.”
19 Gidiọn zaghachiri sị, “Ndị ahụ bụ ụmụnne m ndị ikom, ndị nke nne m mụrụ.
Ugbu a, ONYENWE ANYị n’onwe ya maara na a sị na unu egbughị ha, agaraghị m egbu

* **8:8** 8:8 Ebe Jekọb gbasoro Chineke mgba Jen 32:30-31

unu.” 20 O chigharịrị gwa Jeta, ọkpara ya, sị ya, “Gbuo ha!” Ma Jeta amịpụtaghị
mma, n’ihi na ọ bụ naanị nwokorobịa. Ọ tụrụ egwu igbu ha.
21 Zeba na Zalmuna, gwara Gidiọn okwu sị, “Jiri aka gị gbuo anyị. ‘A hụ dimkpa,
a hụ ike ya.’ ” N’ihi nke a, Gidiọn were aka ya gbuo ha, chịkọrọkwa ihe olu niile ha
nyakwasịrị ịnyịnya kamel ha n’olu.

### *Efọọd Gidiọn*

22 Mgbe ahụ, ndị Izrel gwara Gidiọn sị ya, “Bịa ka ị bụrụ eze anyị! Gị na ụmụ gị
ndị ikom, na ezinaụlọ gị niile, ga-abụ ndị ga-achị, n’ihi na ị gbapụtala anyị site n’aka
usuu ndị agha Midia.”
23 Ma Gidiọn gwara ha okwu sị, “Mụ onwe m na ụmụ m agaghị abụ eze unu, n’ihi
na Onyenwe anyị Chineke bụ eze unu.” 24 Ọ sịrị, “Enwere m otu arịrịọ m ga-arịọ
unu. Onye ọbụla n’ime unu nye m ọlantị site n’oke unu nwetara site n’ihe nkwata
n’agha.” (Ọ bụ omenaala ndị Ishmel niile iyi ọlantị ọlaedo.)
25 Ha jiri obi ụtọ kwenye, gbasaa akwa n’ala, tinyechaa ọlantị ha n’ime ya. Onye
ọbụla n’ime ha mere nke a. 26 Ịdị arọ nke ọlantị ọlaedo ndị a bụ otu puku na narị
shekel asaa, na-agụnyeghị ihe ịchọ mma ndị ọzọ, na ihe olu, na uwe odo odo ndị
eze Midia na-eyi, na ihe olu dị n’olu ịnyịnya kamel ha. 27 Gidiọn jiri ọlaedo ahụ niile
kpụọ efọọd debe ya n’Ofra, n’obodo nke aka ya. Ma mgbe na-adịghị anya, ụmụ Izrel
niile malitere ịgbaso na ife ihe ahụ ofufe. N’ụzọ dị otu a, ọ ghọọrọ Gidiọn na ezinaụlọ
ya ihe ịma n’ọnya.

### *Ọnwụ Gidiọn*

28 Otu a ka Midia si ghọọ ndị Izrel meriri emeri. Midia eweliteghị isi ya ọzọ. N’ihi
nke a, Izrel biri n’udo iri afọ anọ, n’ụbọchị niile Gidiọn dị ndụ.
29 Jerub-Baal, nwa Joash laghachiri n’ụlọ nke aka ya, biri n’ebe ahụ. 30 Ọ
mụtakwara iri ụmụ ndị ikom asaa, n’ihi na ọ lụrụ ọtụtụ ndị inyom. 31 O nwekwara
iko nwanyị n’obodo Shekem, onye mụtaara ya nwa nwoke aha ya bụ Abimelek.
32 Mgbe ihe ndị a gasịrị, Gidiọn nwa Joash, nwụrụ, mgbe ọ kasịrị nka nke ukwu.
E liri ya n’ili nna ya Joash n’obodo Ofra, n’ala Abieza.
33 Ọ dịghị anya ka Gidiọn nwụsịrị, ụmụ Izrel laghachiri azụ bido ife chi Baal. Ha
guzobere Baal-Berit† ka ọ bụrụ chi ha. 34 Ma ụmụ Izrel echetaghị Onyenwe anyị
Chineke ha, onye napụtara ha site n’aka ndị iro ha niile gbara ha gburugburu. 35 Ha
ekwesighịkwa ntụkwasị obi nye ezinaụlọ Jerub-Baal (ya bụ Gidiọn) dịka ezi ihe niile
o mere ha si dị.

# 9

### *Abimelek*

1 Otu ụbọchị, Abimelek nwa Jerub-Baal jekwuuru ụmụnne nne ya ndị ikom bi na
Shekem, na ndị ikwu nne ya niile sị ha, 2 “Jekwurunụ ndị Shekem jụọ ha, ‘Kedụ nke
kara unu mma: ọ bụ ka ụmụ iri ndị ikom asaa Jerub-Baal mụrụ chịa unu, ka ọ bụ ka
otu onye chịa unu?’ Chetakwanụ na mụ na unu bụ otu anụ ahụ na ọbara.”
3 Mgbe ụmụnne nne ya ndị ikom gwara ndị Shekem ihe Abimelek kwuru, ha
kwekọrịtara iso ya n’ihi na ha kwuru sị, “Nwanne anyị ka ọ bụ.” 4 Ha sitere n’ụlọ
arụsị Baal-Berit nye ya iri shekel ọlaedo asaa. Abimelek ji ego ndị a goo ndị efulefu
jọgburu onwe ha, ndị na-akpọghị ndụ ha ihe ọbụla, ndị kwenyere ma gbasoro ya.
5 Ọ gara n’ụlọ nna ya n’obodo Ofra. N’ebe ahụ, o gburu iri ndị ikom asaa ahụ bụ
ụmụnna ya n’elu otu nkume. Kama Jotam, bụ ọdụdụ nwa Jerub-Baal, zoro onwe ya
gbapụ. 6 Mgbe ahụ, ndị Shekem na ndị Bet Milo kpọrọ nzukọ n’okpuru osisi ukwu

† **8:33** 8:33 Baal-Berit bụ arụsị, ụlọ ya dị n’obodo Shekem.

dị n'obodo ahụ n'akụkụ ogidi e guzobere ọtọ na Shekem. N'ebe ahụ ka ha nọ mee Abimelek eze Izrel.
7 Mgbe Jotam nụrụ ya, o rigooro n'ugwu Gerizim* guzo n'ebe ahụ tikuo ndị Shekem niile mkpu si ha, "Geenụ m ntị ka Chineke nwe ike gee unu ntị. 8 Otu mgbe, osisi niile
pụrụ ije ịga tee otu onye mmanụ ka ọ bụrụ eze ga-achị ha. Ha sịrị osisi oliv, 'Bụrụ eze anyị.'
9 "Ma osisi oliv jụrụ ha ajụjụ sị, 'O kwesiri ka m hapụ iwepụta mmanụ m a nke a na-esite na ya sọpụrụ Chineke† na ụmụ mmadụ, nọọ ọnọdụ ifeghari alaka m n'elu osisi ndị ọzọ?'
10 "Ọzọkwa, ha rịọrọ osisi fiig ka ọ bụrụ eze ha.
11 "Ma osisi fiig sịrị, 'Ọ bụrụ na m ekwere na m ga-abụ eze unu, ọ pụtara na m ga-akwụsị imịpụta mkpụrụ osisi na-atọ ụtọ, nọọ ọnọdụ ifeghari alaka m n'elu osisi ndị ọzọ?'
12 "Ọzọkwa, ha rịọrọ osisi vaịnị ma ọ ga-ekwenye ịbụ eze ha.
13 "Ma osisi vaịnị ahụ zara sị ha, 'Ọ bụrụ na m ekwere ịbụ eze unu, ọ pụtara na m ga-akwụsị imịpụta mkpụrụ osisi e ji eme mmanya nke na-enye Chineke na ụmụ mmadụ obi ụtọ, nọọ ọnọdụ ifeghari alaka m n'elu osisi ndị ọzọ?'
14 "N'ikpeazụ, osisi niile jekwuuru ogwu ọhịa, 'Bịa ka ị bụrụ eze anyị.'
15 "Ogwu ọhịa sịrị osisi niile, 'Ọ bụrụ n'ezie na unu chọrọ ite m mmanụ ka m bụrụ eze unu, bịanụ zere ndụ n'okpuru ndo m kpọkwanụ isiala nye m. Ọ bụrụ na unu ajụ ime nke a, ka ọkụ si n'ogwu ọhịa pụta rechapụ sida niile dị na Lebanọn!'
16 "Ugbu a, omume unu o ziri ezi ma sitekwa n'ezi obi na unu mere Abimelek eze? Mmeso unu mesoro Jerub-Baal na ezinaụlọ ya o ziri ezi? Unu omesoro ya dịka o kwesiri ya? 17 Chetakwanụ na nna m lụrụ ọgụ maka unu, kpọọ ndụ ya ihe efu, n'ihi ịnapụta unu site n'aka ndị Midia. 18 Ma taa, unu enupula isi megide nna m na ezinaụlọ ya, gbuo iri ụmụ ndị ikom asaa ya n'elu otu nkume, meekwa Abimelek nwa ya nwoke nke ohu nwanyị ya mụtara eze ga-achị ndị Shekem niile, n'ihi na ọ bụ onye nke unu. 19 Nke a o gosiri na omume unu ziri ezi, sitekwa n'obi ọcha n'ebe Jerub-Baal na ezinaụlọ ya nọ taa? Ọ bụrụ na unu mere otu a, ka Abimelek bụrụ onye ga-ewetara unu ọṅụ ka unu bụkwara ndị ga-ewetara ya ọṅụ. 20 Ma ọ bụrụ na omume unu ezighị ezi, ka ọkụ si n'Abimelek pụta repịa unu, ndị Shekem na Bet Milo, ka ọkụ sitekwa n'ebe unu bụ ndị Shekem na Bet Milo, pụta repịa Abimelek."
21 Emesịa, Jotam gbapụrụ, gbaga Bịa, biri n'ebe ahụ n'ihi egwu Abimelek bụ nwanna ya.
22 Mgbe ọ gasịrị afọ atọ Abimelek bidoro ịchị Izrel, 23 Chineke kpaliri iro dị ukwuu n'etiti Abimelek na ndị nwe obodo Shekem, nke bụ na ha mere omume ihu abụọ megide Abimelek. 24 Chineke mere nke a n'ihi na ọ chọrọ ịbọta ọbọ ọbara iri ụmụ Jerub-Baal asaa ahụ n'isi Abimelek, na ndị Shekem ahụ bụ ndị nyeere ya aka gbuo ụmụnne ya. 25 N'ọnọdụ imegide ya, ndị Shekem doro ndị ikom ụfọdụ n'elu ugwu niile, ndị zoro n'ebe ahụ na-apụnara ndị ọbụla na-esite n'ebe ahụ agafe ihe ha nwere. E mere ka Abimelek mata na ihe dị otu a na-eme.
26 N'oge ahụ, Gaal, nwa Ebed, chịkọtara ụmụnne‡ ya ndị ikom gaa biri na Shekem, ndị Shekem nwere ntụkwasị obi n'ebe ọ nọ. 27 Mgbe ha pụrụ baa n'ubi, chịkọta mkpụrụ vaịnị, zọchaa ha, ha mere mmemme n'ụlọ chi ha. Mgbe ha nọ na-eri na-aṅụ, ha kọchara Abimelek. 28 Mgbe ahụ, Gaal nwa Ebed sịrị, "Onye bụ Abimelek? Gịnị mere na anyị bụ ndị Shekem ga-eji nọrọ n'okpuru ya? Ọ bụghị nwa Jerub-Baal? Ọ bụkwaghị Zebul bụ onye na-esote ya? Ọ bụ ka anyị fee ezinaụlọ Hamọ, nna Shekem ofufe. Ọ bụ maka gịnị ka anyị ga-eji fee Abimelek ofufe? 29 A sịkwarị na ndị a nọ

* **9:7** 9:7 Dit 11:29; 27:12; Jos 8:33 † **9:9** 9:9 chi dị iche iche, nke bụ n'ebe o metụtara ndị n'efe arụsị ‡ **9:26** 9:26 Maọbụ, Ndị ikwu ya

n’okpuru ọchịchị m, mgbe ahụ, m ga-ewezuga Abimelek. Aga m asị ya, ‘Kpọpụta ndị
agha gị niile.’ ”

30 Mgbe Zebul onye na-achị obodo ahụ nụrụ ihe Gaal nwa Ebed kwuru, o were
nnọọ oke iwe. 31 O zigara Abimelek ndị ozi na nzuzo ka ha sị ya, “Gaal nwa Ebed na
ndị ikwu ya abịala obodo Shekem. Ha akpaliela obi ndị obodo a niile ka ha megide
gị. 32 Ugbu a, gị na ndị agha gị, bịanụ n’abalị zoo onwe unu n’ọhịa. 33 N’ụtụtụ, mgbe
anwụ wara, busonụ obodo a agha. Mgbe Gaal na ndị ya pụtara ịlụso gị agha, mee
ha ihe dị gị mma.”

34 Ya mere, Abimelek na ndị agha ya dị n’otu anọ, jiri abalị bilie jeruo Shekem zoo
onwe ha na nso obodo ahụ. 35 Gaal nwa Ebed pụrụ guzo n’ọnụ ama obodo ahụ mgbe
Abimelek na ndị ya sitere n’ebe ha zoro onwe ha pụta.

36 Mgbe Gaal hụrụ ha, ọ kpọrọ Zebul si ya, “Lee ndị mmadụ sị n’elu ugwu ndị a
na-arịdata.”

Zebul zara si ya, “Ọ bụghị mmadụ ka ị na-ahụ, kama ọ bụ onyinyo ugwu ka ị
na-akpọ mmadụ.”

37 Gaal kwukwara okwu sị, “Lee ndị mmadụ si n’etiti ala ahụ na-arịdata, ndị ọzọ
sikwa n’akụkụ ụzọ ebe osisi iju ase dị.”

38 Mgbe ahụ, Zebul sịrị ya, “Olee uru ọ bara na ị turu ọnụ, gị onye na-asị, ‘Onye bụ
Abimelek na anyị ga-efe ya ofufe?’ Ọ bụ ndị a abụghị ndị ahụ ị kọchara? Pụkwuru
ha gaa lụso ha ọgụ.”

39 Ya mere, Gaal duuru ndị nwe Shekem pụọ ịlụso Abimelek ọgụ. 40 Ma Abimelek
chụụrụ ya ọsọ ruo mbata ọnụ ụzọ ama, ọtụtụ bụkwa ndị egburu ka ha na-agba ọsọ.
41 Abimelek nọgidere n’Aruma n’oge ahụ. Ma Zebul chụpụrụ Gaal na ndị ikwu ya
site na Shekem.

42 N’echi ya, ndị Shekem pụtara baa n’ọhịa. E mere ka Abimelek mara nke a.
43 N’ihi ya, Abimelek kere ndị agha ya ụzọ atọ. Ha niile zokwara onwe ha n’ọhịa.
Mgbe ọ hụrụ ka ndị mmadụ si n’ime obodo ahụ na-apụta, o biliri buso ha agha.
44 Abimelek na usuu ndị agha so ya mapụtara, gbara ọsọ were ọnọdụ n’ọnụ ụzọ ama
obodo ahụ. Emesịa, ụzọ abụọ n’ime ụzọ atọ nke ndị agha na-eso ya chere ihu n’ọhịa
gbuo ndị ahụ niile nọ n’ebe ahụ. 45 Ụbọchị ahụ niile, Abimelek busoro obodo ahụ
agha tutu ruo mgbe o meriri ya, gbuo ndị niile bi n’ime ya. Emesịa, ọ lara obodo ahụ
niile n’iyi, fesaa nnu n’ala ya niile.

46 Mgbe ndị nwe ala nọ n’ụlọ elu Shekem nụrụ ihe mere, ha gbabanyere n’ebe e
wusiri ike nke ụlọ arụsị El Berit. 47 Mgbe Abimelek nụrụ na ha ezukọtala n’ebe ahụ,
48 ya na ndị agha ya rigoro ugwu Zalmon. O ji anyụike gbutuo ụfọdụ ngalaba osisi
nke ọ tụkwasịrị n’ubu ya. O nyere ndị agha ya iwu si, “Ngwa, meenụ ihe unu hụrụ
na m mere.” 49 Ya mere, ndị agha ya niile gbuturu alaka osisi buru ha soro Abimelek.
Ha tụkọtara alaka osisi ndị a niile n’akụkụ ebe ahụ e wusiri ike mụnye ha ọkụ ka
o regbuo ndị mmadụ nọ n’ime ya. Ya mere, ndị mmadụ niile nọ n’ụlọ elu Shekem,
nwoke na nwanyị, ndị ọnụọgụgụ ha ruru otu puku nwụrụ.

50 Ọzọ, Abimelek gara obodo Tebez lụso ya agha, merie ya. 51 Ma e nwere n’ime
obodo ahụ, otu ụlọ elu e wusiri ike, ebe ndị obodo ahụ niile, nwoke na nwanyị,
gbabanyere. Ha kpọchidoro onwe ha ụzọ, rigoro n’elu ụlọ ahụ. 52 Abimelek gara
n’ụlọ elu ahụ ibuso ya agha. Ma mgbe ọ na-abịaru ọnụ ụzọ ama ụlọ elu ahụ isunye
ya ọkụ, 53 otu nwanyị tụdara nkume igwe nri n’isi ya, nke tiwara okpokoro isi ya.

54 Ngwangwa, Abimelek kpọrọ onye na-ebu ihe agha ya sị ya, “Sepụta mma agha
gị jiri ya gbuo m, ka ndị mmadụ ghara ị sị banyere m, ‘Ọ bụ nwanyị gburu ya.’ ” Ya
mere nwokorobịa ahụ were mma agha ya dụgbuo ya, ọ nwụkwara. 55 Mgbe ndị Izrel
hụrụ na Abimelek anwụọla, ha niile lara n’ụlọ ha.

56 Otu a ka Chineke si kwụghachi Abimelek ihe ọjọọ o mere megide nna ya site
n'igbu iri ụmụnna ya asaa. 57 Chineke mekwara ka ndị Shekem nata ụgwọ ọrụ ihe
ọjọọ ha. Ọbụbụ ọnụ Jotam nwa Jerub-Baal mezukwara n'isi ha.

# 10

*Tola*

1 Mgbe Abimelek nwụsịrị, Tola nwa Pua, nwa nwa Dodo, biliri ịzọpụta Izrel. O si
n'ebo Isaka pụta. Ọ bụkwa n'obodo Shamia ka o bi, n'ime obodo e wukwasịrị n'elu
ugwu Ifrem. 2 O kpere Izrel ikpe iri afọ abụọ na atọ. Mgbe ọ nwụrụ, e liri ya na
Shamia.

*Jaịa*

3 Onye ikpe ọzọ nọchiri ya bụ Jaịa, onye si Gilead pụta. O kpere Izrel ikpe iri afọ
abụọ na abụọ. 4 O nwere ụmụ ndị ikom iri atọ, ndị na-agba ịnyịnya ibu iri atọ. Ha
nwekwara obodo iri atọ nke aka ha na Gilead, nke a na-akpọkwa Havọt Jaịa ruo taa.
5 Ma mgbe Jaịa nwụrụ, e liri ya na Kamon.

*Jefta*

6 Ọzọkwa, ụmụ Izrel mere ihe jọrọ njọ n'ihu Onyenwe anyị, ha fere chi Baal na
Ashtọret, chi ndị Aram, chi ndị Saịdọn, nke ndị Moab, nke ndị Amọn, na chi ndị
Filistia ofufe. Ndị Izrel hapụrụ Onyenwe anyị, ha efekwaghị ya ofufe. 7 Nke a mere
ka Onyenwe anyị wee iwe megide ha. O nyefere ha n'aka ndị Filistia na ndị Amọn,
8 ndị mekpara ha ahụ, chie ha ọnụ n'ala. Afọ iri na asatọ ka ndị Filistia megburu
ndị Izrel bi n'akụkụ ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan, n'ime ala ndị Amọrait, ya bụ
na Gilead. 9 Ndị Amọn gafekwara osimiri Jọdan ibuso ndị Juda, ndị Benjamin na ndị
Ifrem agha. Ihe ndị a mere ka ọnọdụ ụmụ Izrel dị nnọọ njọ nke ukwuu. 10 N'ikpeazụ,
ụmụ Izrel tikuru Onyenwe anyị mkpu akwa, rịọọ ya ka ọ gbapụta ha. Ha kwupụtara
sị, "Anyị emehiela megide gị,* anyị ahapụla gị Chineke anyị, fee arụsị Baal ofufe."
11 Ma Onyenwe anyị sịrị ndị Izrel, "Mgbe ndị Ijipt, ndị Amọrait, ndị Amọn, ndị
Filistia, 12 ndị Saịdọn, ndị Amalek na ndị Maon kpagburu unu; unu tikuru m mkpu
akwa inyere unu aka, ọ bụ na m anapụtaghị unu site n'aka ha? 13 Ma unu nọgidere
na-agbakụta m azụ oge niile, na-efe chi ndị ọzọ ofufe. Ya mere, gawaranụ onwe unu,
agaghị m anapụtakwa unu ọzọ. 14 Kpọkuonụ chi ndị ahụ bụ ndị unu họpụtaara
onwe unu, ka ha zọpụta unu mgbe ọbụla nsogbu dakwasịrị unu!"
15 Ma ndị Izrel sịrị Onyenwe anyị, "Anyị emehiela. Mee anyị ihe ọbụla i chere dị
gị mma, ma biko, zọpụta anyị taa." 16 Ha sitere n'etiti ha wezuga chi ala ọzọ niile dị
iche iche, fee Onyenwe anyị ofufe. O nweghịkwa ike nagide ọnọdụ ọjọọ ndị Izrel gaa
n'ihu.
17 Mgbe a kpọkọtara ndị Amọn maka ibu agha, ha mara ụlọ ikwu ha na Gilead, ndị
Izrel zukọtakwara maa ụlọ ikwu nke ha na Mizpa. 18 Ndị ndu obodo Gilead gwarịtara
onwe ha sị, "Onye ọbụla ga-amalite agha megide ndị Amọn ga-abụ onyeisi ndị niile
bi na Gilead."

# 11

1 Otu ọ dị, Jefta, onye Gilead, bụ dimkpa n'agha. Nna ya bụ Gilead; nne ya bụ
akwụna. 2 Nwunye Gilead mụtaara ya ọtụtụ ụmụ ndị ikom ọzọ. Mgbe ha tolitere, ha
chụpụrụ Jefta site n'obodo ahụ, sị ya, "Ị gaghị eketa ihe ọbụla n'ezi nna anyị, n'ihi
na nwa nwanyị ọzọ ka ị bụ." 3 N'ihi nke a, Jefta gbapụrụ site n'ụlọ nna ya, gaa biri
n'obodo Tob. Mgbe na-adịghị anya, ọtụtụ ndị isi na-anụ ọkụ bịara nọnyere ya ma
sorokwa ya.

* **10:10** 10:10 Dit 1:10; 1Sa 12:10

4 O ruo mgbe ọtụtụ oge gasịrị, ndị Amọn busoro ụmụ Izrel agha. 5 Ndị okenye
Gilead jere ịkpọpụta Jefta site n'ala Tob. 6 Ha sịrị ya, "Bịa buru onyeisi agha anyị ka
anyị nwee ike ibuso ndị Amọn agha."
7 Jefta sịrị ha, "Unu akpọghị m asị,* ma chụpụkwa m site n'ụlọ nna m? Gịnị mere
unu ji na-achọ m ugbu a unu nọ n'oke nsogbu?"
8 Ndị okenye Gilead sịrị ya, "na-agbanyeghị nke a, anyị abịaghachikwutela gị ugbu
a, bịa ka anyị na gị lụso ndị Amọn agha. Ị ga-abụkwa onyeisi anyị niile bi na Gilead."
9 Jefta zara, "A sịkwarị na m esoro unu gaa lụso ndị Amọn agha, ọ bụrụ na ONYENWE
ANYỊ enyefee ha n'aka m, m ga-abụ onyeisi unu n'ezie?"
10 Ndị okenye Gilead zara, "ONYENWE ANYỊ bụ onye akaebe, na anyị aghaghị ime
dịka i kwuru." 11 Ya mere, Jefta sooro ndị okenye Gilead, ha mekwara ya onyeisi
ha na ọchịagha ha. O kwughachikwara okwu ya niile n'ihu ONYENWE ANYỊ n'obodo
Mizpa.
12 Mgbe ahụ, Jefta zipụrụ ndị ozi ka ha jekwuru eze ndị Amọn jụọ ya ajụjụ sị, "Gịnị
bụ ihe i nwere megide anyị i ji ebuso ala anyị agha?"
13 Eze ndị Amọn zaghachiri ndị ozi Jefta, "Mgbe ụmụ Izrel si n'ala Ijipt pụta, ha ji
aka ike napụ anyị ala anyị, site n'osimiri Anọn ruo na Jabọk, rukwaa n'osimiri Jọdan.
Ugbu a nyeghachinụ anyị ala ahụ niile n'udo."
14 Jefta zighachiri ndị ozi ka ha jekwuru eze ndị Amọn, 15 na-asị,
"Ihe ndị a ka Jefta sịrị: Izrel esiteghị n'aka ike napụ Moab maọbụ Amọn ala ha.†
16 Kama, mgbe ha si Ijipt rigopụta, Izrel sitere n'ọzara bịaruo Osimiri Uhie, sikwa
n'ebe ahụ ruo Kadesh. 17 Mgbe ahụ, Izrel zipụrụ ndị ozi ka ha jekwuru eze Edọm
sị ya, 'Kwere ka anyị si n'ala gị gafere,' ma eze Edọm jụrụ ajụ. Ha zipụkwara ozi
nye eze Moab, ma o kwenyeghị. N'ihi ya, Izrel nọgidere na Kadesh.
18 "Ọzọ, ha sitere n'ọzara gaa gburugburu Edọm na Moab, site n'akụkụ ọwụwa
anyanwụ ala Moab, maa ụlọ ikwu ha n'ofe Anọn. Ha abaghị n'oke ala Moab, n'ihi
na Anọn bụ oke ala ya.
19 "Mgbe ahụ, ụmụ Izrel zigara ndị ozi ka ha jekwuru Saịhọn eze ndị Amọrait,
onye bi na Heshbọn, sị ya, 'Biko, ka anyị site n'ala gị gafee ruo n'ala nke anyị.'
20 Ma eze Saịhọn atụkwasịghị Izrel obi isite n'oke ala ya gabiga. N'ihi nke a, ọ
chịkọtara usuu ndị agha ya, ma ụlọ ikwu na Jahaz, buso ụmụ Izrel agha.
21 "Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel nyere Saịhọn na ndị agha ya niile
n'aka Izrel. Ha merikwara ha. Izrel nwetara ala niile nke ndị Amọrait, bụ ndị bi
n'ala ahụ. 22 Ha nwetara ala niile ahụ, site n'Anọn ruo Jabọk, sitekwa n'ọzara ruo
Jọdan.
23 "Ma ugbu a, ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel achụpụla ndị Amọrait n'ihu ndị
ya bụ Izrel. Olee ikike i nwere iwere ala ahụ? 24 Ọ bụghị ihe chi gị, Kemosh,
nyere gị ka i ga-enweta? Otu aka ahụ kwa, ihe ọbụla ONYENWE ANYỊ Chineke anyị
nyere anyị ka anyị ga-enweta. 25 Ị dị mma karịa Balak nwa Zipoa, eze Moab? O
nwere mgbe ọ chọrọ Izrel okwu, maọbụ lụso ha agha? 26 Ọ bụ narị afọ atọ kemgbe
ụmụ Izrel malitere ibi na Heshbọn na Aroea, na n'ime obodo ndị ọzọ gbara ha
gburugburu ruo n'iyi Anọn. Ọ bụkwa gịnị mere na ịnapụtaghị ala ndị a n'oge
ndị ahụ? 27 Emegideghị m gị, kama ọ bụ gị na-emejọ m, site n'ibuso m agha. Ka
ONYENWE ANYỊ, onye na-ekpe ikpe ziri ezi kpebie ikpe a taa n'etiti ndị Izrel na ndị
Amọn."
28 Ma eze Amọn egeghị ntị n'ozi Jefta ziri ka e zie ya.
29 N'oge ahụ, mmụọ ONYENWE ANYỊ dakwasịrị Jefta. Site n'ike mmụọ ahụ, o duuru
ndị agha Izrel gafee obodo Gilead na Manase, gafeekwa Mizpa, nke dị n'ime Gilead,

* **11:7** 11:7 Jen 26:27 † **11:15** 11:15 Dit 2:9,19

gaa lụso ndị Amọn agha. 30 Jefta kwere ONYENWE ANYỊ nkwa sị ya, "Ọ bụrụ na ị ga-
enyefe ndị Amọn n'aka m, 31 ihe ọbụla sitere n'ọnụ ụzọ ụlọ m pụta izute m mgbe m
lọghachiri n'ọnọdụ mmeri megide ndị Amọn, ga-abụ nke ONYENWE ANYỊ. Aga m eji
ya chụọ aja nsure ọkụ."
32 Jefta duuru ndị agha ya gaa ibuso Amọn agha. ONYENWE ANYỊ nyekwara ya
mmeri dị ukwuu. 33 O bibiri iri obodo abụọ site n'Aroea ruo nso nso Minit, ruokwa
Ebel-Keramim. Otu a ka Izrel si merie ndị Amọn.
34 Mgbe Jefta lọghachiri n'ụlọ ya na Mizpa, ma lee ada ya nwanyị onye ji iti egwu
na ite egwu pụta izute ya. Ọ bụ naanị ya ka nna ya mụtara. Ewezuga ya, nna ya
amụtaghị nwa nwoke maọbụ nwa nwanyị ọzọ. 35 Mgbe Jefta hụrụ ya, ọ dọwara uwe
ya, tie mkpu sị, "Ewoo, nwa m nwanyị! I wetarala obi m ihe mgbu, n'ihi na ekwela
m ONYENWE ANYỊ nkwa, nke m na-aghaghị imezu."
36 Ọ zara, "Nna m, lee, ị ghaghị imezu ihe i kwere ONYENWE ANYỊ na nkwa. Jiri m
mee ihe i kwere ONYENWE ANYỊ na nkwa, n'ihi na o nyela gị mmeri dị ukwuu n'ebe
ndị Amọn, ndị iro gị nọ. 37 Ma ọ dị otu ihe m chọrọ ịrịọ gị, biko kwere ka m soro
ụmụ agbọghọ ibe m gaa wagharịa n'ugwu ndị a, ka mụ na ha kwaa akwa ọnwa abụọ,
n'ihi na agaghị m alụ di."
38 Nna ya zara sị ya, "E, nwa m, i nwere ike ịga." Ọ pụrụ gaa, jegharịa, kwaakwa
akwa, ya na ụmụ agbọghọ ndị enyi ya, ruo mgbe ọnwa abụọ ahụ zuru. 39 Mgbe ọnwa
abụọ gasịrị, ọ laghachikwutere nna ya, onye ji ya mezuo nkwa ahụ o kwere. Ọ bụ
nwaagbọghọ na-amatabeghị nwoke.
Malite n'oge ahụ ka ọ ghọrọ omenaala ndị Izrel, 40 na ụmụ agbọghọ na-apụ kwa
afọ, gaa, nọọ abalị anọ n'ihi icheta ada Jefta, onye Gilead.

# 12

*Jefta na ndị Ifrem*

1 Mgbe ahụ, ndị Ifrem kpọkọtara ndị agha ha na Zafọn zigara Jefta ozi sị ya, "Gịnị
mere ị kpọghị anyị ka anyị bịa nyere gị aka ịlụso ndị Amọn agha? Anyị na-abịa iwere
ọkụ irechapụ gị na ezinaụlọ gị."
2 Jefta zaghachiri ha sị, "Akpọrọ m unu mgbe mụ na ndị m na ndị Amọn na-ese
okwu dị ukwu ma unu jụrụ ịbịa. Unu azọpụtaghị m site n'aka ha. 3 Mgbe m hụrụ
na unu achọghị inyere anyị aka, e tinyere m ndụ m n'aka m, gabiga n'ofe nke ọzọ
ibuso ndị Amọn agha. Ma ONYENWE ANYỊ nyeere m aka imeri ha. Ugbu a, n'ihi gịnị
ka unu ji bịa ịlụso m ọgụ taa?"
4 Jefta kpọkọtara ndị ikom Gilead pụọ buso ndị Ifrem agha. Ndị Gilead tidara ha
n'ala n'ihi na ndị Ifrem sịrị, "Ndị gbapụrụ agbapụ site n'Ifrem na Manase ka unu
bụ." 5 Ọ nọchiri akụkụ Jọdan dị ndị agha Ifrem n'azụ, ebe ndị agha Ifrem nwere ike
isi gbapụ. Mgbe ọbụla onye agha Ifrem ọbụla gbapụrụ ọsọ choọ ịgafe osimiri ahụ,
ndị agha Gilead ga-ejide ya jụọ ya sị, "Ị bụ onye Ifrem?" Ọ bụrụ na onye ahụ ekwuo
na ya abụghị onye Ifrem, 6 ha sịrị, "Ọ dị mma, kpọọ, 'Shibolet.' " Ọ bụrụ na onye ahụ
akpọ, "Sibolet," n'ihi na ọ kpọpụtaghị mkpụrụ okwu ahụ nke ọma, ha na-akpụrụ ya
gbuo ya na ngabiga mmiri Jọdan. Ọ bụ ọnụọgụgụ iri puku anọ, na puku abụọ ndị
Ifrem ka e gburu mgbe ahụ.
7 Jefta duuru ndị Izrel afọ isii. Mgbe ọ nwụrụ, e liri ya n'otu obodo Gilead.

*Ibzan, Elọn, na Abdon*

8 Onye ikpe ọzọ Izrel nwere bụ Ibzan onye bi na Betlehem.* 9 O nwere iri ụmụ ndị
ikom atọ na iri ụmụ ndị inyom atọ. O kenyere ndị ikom ikwu ọzọ ụmụ ya ndị inyom.

* **12:8** 12:8 Obodo Betlehem nke a dị n'ala Zebụlọn, ọ dịghị na Juda.

Otu a kwa, o sikwa n'ikwu ọzọ lụtara ụmụ ya ndị ikom iri ndị inyom atọ. O kpere
Izrel ikpe afọ asaa. 10 Ibzan nwụrụ, e lie ya na Betlehem.
11 Onye ọzọ kpere Izrel ikpe bụ Elọn, onye Zebụlọn. O kpere Izrel ikpe afọ iri.
12 Emesịa, Elọn nwụrụ, e lie ya n'Aijalon, n'ime ala Zebụlọn.
13 Onye ọzọ kpere Izrel ikpe bụ Abdon nwa Hilel, onye Piraton. 14 O nwere iri ụmụ
ndị ikom anọ na iri ụmụ ụmụ atọ ndị na-agba iri ịnyịnya ibu asaa. O kpere ụmụ
Izrel ikpe afọ asatọ. 15 Mgbe ahụ, Abdon nwa Hilel nwụrụ, e lie ya na Piraton ala dị
n'Ifrem, n'obodo ugwu ndị Amalek.

# 13

*Ọmụmụ Samsin*

1 Ndị Izrel mehiekwara ọzọ n'ihu ONYENWE ANYỊ. N'ihi nke a, ONYENWE ANYỊ
kwenyere ka ndị Filistia merie ha. Ndị Izrel nọrọ n'okpuru ọchịchị ha iri afọ anọ.
2 N'oge ahụ, o nwere otu nwoke onye Zora aha ya bụ Manoa. Nwoke a si n'agbụrụ
Dan, nwunye ya bụ nwanyị aga nke mere na ọ mụtaghị nwa. 3 Otu ụbọchị, mmụọ ozi
ONYENWE ANYỊ gosiri nwanyị a onwe ya, gwa ya okwu sị, "Ọ bụ ezie na ị bụ nwanyị
aga nke mere na ị mụtaghị nwa ma na mgbe na-adịghị anya, ị ga-atụrụ ime mụta
nwa. 4 Ma site ugbu a, gaa n'ihu, aṅụkwala ihe ọṅụṅụ ọbụla na-aba n'anya. Erikwala
ihe ọbụla rụrụ arụ. 5 Ị ga-atụrụ ime, mụkwaa nwa nwoke, onye agụba agaghị aba
n'isi ya,* n'ihi na ọ ga-abụ onye e kewapụrụ nye Chineke site n'ime akpanwa. Ọ
ga-ebute ụzọ n'ịgbapụta Izrel site n'aka ndị Filistia."
6 Nwanyị ahụ gbara ọsọ gbalaa gaa gwa di ya sị ya, "Otu onye nke Chineke egosila
m onwe ya. O dokwara m anya na ọ bụ mmụọ ozi Chineke, n'ihi na ọ dị oke ebube
n'ile anya. Ma ajụghị m ya ebe o siri bịa, ọ gwakwaghị m aha ya. 7 Kama ọ sịrị m,
'Ị ga-adị ime, mụta nwa nwoke. Ma ugbu a, ị gaghị aṅụ mmanya vaịnị maọbụ ihe
ọbụla na-aba n'anya, maọbụ rie ihe ọbụla rụrụ arụ, n'ihi na nwantakịrị ahụ ga-abụ
onye e doro nsọ nye Chineke, site n'ime akpanwa ruo n'ọnwụ ya.' "
8 Mgbe ahụ, Manoa kpere ekpere rịọọ ONYENWE ANYỊ arịrịọ sị, "Biko, Onyenwe
anyị, ka onye nke Chineke ahụ i ziteere anyị bịaghachikwa ọzọ, kuziere anyị otu
anyị ga-esi zụlite nwa nwoke a ga-amụta."
9 Chineke zara ekpere ya. Mmụọ ozi ahụ bịakwutekwara nwunye Manoa mgbe ọ
nọ n'ubi; maọbụ naanị ya nọ, di ya anọghị ya. 10 Ya mere, nwanyị ahụ gbara ọsọ gaa
gwa di ya sị, "Lee, nwoke ahụ bịakwutere m ụbọchị a, abịala ọzọ!"
11 Manoa biliri, soro nwunye ya. Mgbe o bịarutere ebe nwoke ahụ nọ, ọ jụrụ ya
ajụjụ sị, "Ọ bụ gị bụ nwoke ahụ gwara nwunye m okwu n'oge gara aga?"
Ọ zara sị ya, "E, ọ bụ m."
12 Manoa gwara ya okwu sị, "Mgbe okwu gị mezuru, gịnị bụ iwu banyere ndụ na
ọrụ nwa nwoke a?"
13 Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ zaghachiri, "Nwunye gị aghaghị imezu ihe niile m nke
m gwara ya. 14 Ka ọ ghara iri ihe ọbụla si n'osisi vaịnị,† maọbụ ṅụọ mmanya ọbụla
maọbụ ihe ọbụla na-aba n'anya, maọbụ rie ihe rụrụ arụ ọbụla."
15 Manoa rịọrọ Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ si ya, "Ọ ga-amasị anyị ma ị nọdụ chere
ka anyị kwadoro gị nwa ewu."
16 Ma Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ zara ya, "A sịkwarị na i mee ka m nọrọ, agaghị m
eri nri gị ọbụla. Ma ọ bụrụ na i kwadoo aja nsure ọkụ, were ya chụọrọ ONYENWE
ANYỊ aja." Ma Manoa aghọtaghị na onye ahụ bụ Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ.
17 Mgbe ahụ, Manoa jụrụ Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ ahụ, sị, "Biko, gịnị bụ aha gị,
ka anyị nye gị nsọpụrụ dịịrị gị mgbe okwu gị mezuru?"

* **13:5** 13:5 Ọnụ 6:5; 6:2; 1Sa 1:11 † **13:14** 13:14 Ọnụ 6:3-4; Nkp 13:4

18 Ọ zara, "N'ihi gịnị kwa ka ị na-ajụ banyere aha m?‡ Ọ bụ ihe karịrị nghọta."
19 Mgbe ahụ, Manoa weere nwa ewu, ya na ụfọdụ mkpụrụ ọka, jiri ha chụọrọ ONYENWE ANYỊ aja n'elu nkume. Mgbe ahụ kwa, ONYENWE ANYỊ mere ihe dị ebube nke ukwuu mgbe Manoa na nwunye ya guzo na-ele anya: 20 Mgbe ire ọkụ ahụ sitere
n'ebe ịchụ aja ahụ na-arịgo na-aga elu, Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ wụliri elu soro ire ọkụ ahụ rigoro gawa n'eluigwe! Mgbe Manoa na nwunye ya hụrụ ka nke a na-eme, ha kpuru ihu ha n'ala. 21 Mgbe Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ na-egosighị onwe ya ọzọ
nye Manoa na nwunye ya, ka Manoa ghọtara na ọ bụ Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ ka ha hụrụ.
22 Manoa gwara nwunye ya sị, "Anyị abụrụla ndị nwụrụ anwụ, n'ihi na anyị ahụla Chineke!"
23 Ma nwunye ya zara sị ya, "Ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ chọrọ igbu anyị, ọ garaghị anara aja nsure ọkụ, na aja mkpụrụ ọka anyị chụrụ nye ya. Ọzọkwa, ọ garaghị egosi anyị ihe ndị a niile maọbụ gwa anyị ihe ndị a."
24 Emesịa, nwanyị ahụ mụrụ nwa nwoke, onye ha gụrụ Samsin. ONYENWE ANYỊ gọzikwara nwantakịrị ahụ mgbe ọ na-etolite. 25 Mmụọ ONYENWE ANYỊ bidokwara
na-agba ya ume n'oge niile, mgbe ọ nọ Mahane Dan, nke dị n'etiti Zora na Eshtaol.

# 14

*Ọlụlụ nwunye Samsin*

1 Samsin gbadara n'obodo Timna* ebe ọ hụrụ otu nwaagbọghọ onye Filistia. 2 Mgbe
ọ lọtara n'ụlọ, ọ gwara nne na nna ya, "Ahụrụ m otu nwanyị n'ime Timna† sitere n'ụmụ ndị inyom Filistia; ugbu a, lụtara m ya na nwunye."
3 Nne na nna ya zara ya, "Ọ bụ na ọ dịghị nwanyị dị n'etiti ndị inyom ụmụnne gị, maọbụ n'etiti ndị anyị niile? Gịnị mere o ji bụrụ n'etiti ndị Filistia a na-ebighị ugwu ka i si lụtara onwe gị nwunye?"
Ma Samsin sịrị nna ya, "Gaa lụtara m ya. N'ihi na o ziri ezi n'anya m." 4 (Nne
na nna ya aghọtaghị na aka ONYENWE ANYỊ dị n'ọlụlụ nwunye a Samsin chọrọ ịlụ. N'ihi na ONYENWE ANYỊ na-achọ ụzọ ọ ga-esi megide ndị Filistia, ndị na-achị ụmụ Izrel n'oge ahụ.)
5 Samsin na nne na nna ya gawara obodo Timna maka ọlụlụ nwanyị a. Mgbe ha na-erute ubi vaịnị dị obodo Timna nso, otu‡ nwa ọdụm sitere n'ọhịa mapụta, gbọrọ ụja na-abịakwute Samsin. 6 N'otu oge ahụ, Mmụọ ONYENWE ANYỊ bịakwasịrị Samsin
n'ike. O jekwuuru ọdụm ahụ, were aka ya abụọ dọwaa ya ọnụ, dịka a ga-asị na ọ bụ nwa ewu. Ma Samsin agwaghị nne na nna ya ihe mere. 7 Ma mgbe ha bịaruru
Timna, Samsin na nwaagbọghọ ahụ kparịtara ụka. Ihe banyere nwaagbọghọ ahụ dị Samsin ezi mma.
8 Ọ laghachiri mgbe ụbọchị ole na ole gasịrị ka ọ kpọrọ ya. Ma mgbe ọ tụgharịrị ka ọ hụ ozu ọdụm ahụ, ọ hụrụ na igwe aṅụ bizi n'ime ozu ọdụm ahụ, na-emepụtakwa mmanụ aṅụ. 9 Ọ kọpụtara mmanụ aṅụ ahụ tinye n'aka ya, malite ịracha ka ọ na-
aga n'ụzọ. Mgbe ọ bịakwutere nne na nna ya, o nyebinyere ha ụfọdụ, ha onwe ha rachakwara ya. Ma ọ gwaghị ha na o wetara ya site n'ozu ọdụm.
10 Nna ya gara ịhụ nwanyị ahụ ma Samsin kpọkọtara ụmụ okorobịa obodo ahụ meere ha oriri dịka omenaala ha sị di. 11 Mgbe Samsin rutere, a kpọnyere ya ndị
bịara mmemme ọnụọgụgụ ha dị iri atọ.
12 Mgbe ahụ, Samsin gwara ha okwu sị ha, "O nwere ajụjụ, gwa m, gwa m, gwa m, m chọrọ ka unu kọwaara m. Ọ bụrụ na unu enwee ike kọwaa ya, site taa ruo

‡ **13:18** 13:18 Jen 32:29 * **14:1** 14:1 Timna bụ otu obodo n'ihe nketa ebo Dan Jos 19:43 Ọ bụ obodo ndị Filistia, tupu ndị Izrel e merie ha. † **14:2** 14:2 Jen 38:13; Jos 15:10,57 ‡ **14:5** 14:5 N'oge ahụ, ọtụtụ ọdụm bi na ndịda ala Palestia.

n'ụbọchị asaa nke mmemme a, aga m enye unu iri uwe mwụda atọ, nyekwa unu iri
uwe mwụda atọ ọzọ akpara akpa. 13 Ọ bụrụkwanụ na unu enweghị ike kọwaa ya,
unu ga-enye m iri uwe mwụda atọ, na iri uwe mwụda atọ akpara akpa."
Ha niile kwenyere sị, "Ọ dị mma. Kwuo ka anyị nụ."
14 Ọ gwara ha sị,
"Ihe oriri si n'ime onye na-eri eri na-apụta,
ọzọkwa, ihe dị ụtọ si n'ime onye dị ike pụta."
Mgbe ụbọchị atọ gasịrị, ha enwebeghịkwa ike kọwaa ya.
15 Ma n'ụbọchị nke anọ, ha jekwuuru nwunye Samsin gwa ya okwu sị, "Chọọ ụzọ
rafụta di gị ọnụ, ka ọ gwa gị ihe okwu a pụtara. Ma ọ bụghị ya, anyị ga-akpọ gị na
ezinaụlọ nna gị ọkụ. Ọ bụ ịnapụ anyị ihe anyị nwere ka unu ji kpọọ anyị oku bịa
n'ebe?"
16 Mgbe ahụ nwunye Samsin buuru onwe ya tụọ n'elu ahụ ya, n'ebe akwa, sị, "Ị
kpọrọ m asị! N'ezie, ị hụghị m n'anya. Ị tụụrụ ndị m ilu, ma ị gwaghị m ọsịsa ya."
Ọ sịrị ya, "Lee, agwaghị m nne na nna m, ọ bụkwa gị ka m ga akọwara ya?"
17 Ma nwanyị ahụ kwagidere akwa abalị asaa ha nọ na mmemme ahụ. N'ikpeazụ,
n'ụbọchị nke asaa, Samsin kọwaara ya okwu ahụ n'ihi na ọ nọgidere na-enye ya
nsogbu. Nwanyị ahụ gakwara kọwaara ụmụ okorobịa obodo ihe okwu ahụ pụtara.
18 Ma tupu anwụ adaa n'ụbọchị nke asaa ahụ, ndị ikom obodo ahụ sịrị ya,
"Olee ihe dị ụtọ karịa mmanụ aṅụ?
Gịnị dịkwa ike karịa ọdụm?"
Ma Samsin zara sị ha,
"A sị na unu enyeghị nwa ehi m nsogbu,
unu agaraghị enwe ike kọwaa ya."
19 Otu mgbe ahụ kwa, Mmụọ ONYENWE ANYỊ bịakwasịrị ya. O sitere n'ebe ahụ pụọ,
gaa n'obodo Ashkelọn.§ N'ebe ahụ ka ọ nọ tigbuo iri mmadụ atọ, napụ ha uwe ha
niile, chịrị ha chịnye ndị ahụ kọwaara ya ilu ahụ. Ma site n'oke iwe, o laghachiri
n'ụlọ nna ya. 20 E duuru nwunye Samsin dunye enyi Samsin ka ha abụọ bụrụ di na
nwunye.

# 15

*Samsin egbuo ndị Filistia*

1 Mgbe oge nta gasịrị, n'oge owuwe ihe ubi, mgbe a na-aghọ ọka, Samsin weere
nwa ewu* nta, gaa ileta nwunye ya. O gwara nna nwunye ya sị, "Ana m aga n'ọnụụlọ
nwunye m." Ma nna nwunye ya ekweghị ka ọ banye.
2 Nna ya sịrị, "O doro m anya na ị kpọrọ nwa m nwanyị asị, ọ bụ n'ihi nke a ka
m jiri kenye ya enyi gị nwoke ka ọ bụrụ nwunye ya. Nwanne ya nwanyị nke nta, ọ
maghị mma karịa ya? Kpọrọ ya ka ọ nọchie anya ya."
3 Samsin sịrị ha, "N'oge a, o ziri m ezi ị bọkwara ọbọ n'ebe ndị Filistia nọ." Aghaghị
m imesi ha ike. 4 Ya mere, Samsin pụrụ gaa jide narị nkịta ọhịa atọ, wetakwa ọwa
ụfọdụ. O kekọtara ọdụdụ ha abụọ abụọ. O kenyere ọwa n'agbata otu nkịta ọhịa na
ibe ya. 5 Emesịa, ọ mụnyere ọkụ n'ọwa ahụ niile. O mekwara ka nkịta ọhịa ndị ahụ
dọkpụrụ ọwa a mụnyere ọkụ baa n'ubi ọka ndị Filistia, si otu a rechapụ ọka niile
guzoro eguzo n'ubi, na ubi vaịnị niile, ha na osisi oliv niile ọkụ.

§ **14:19** 14:19 Ashkelọn bụ otu obodo n'ala Palestia. * **15:1** 15:1 Mgbe nwoke lụrụ nwanyị, ọ bụrụ na nna nwanyị dị otu a a naraghị ego isi akụ, ọ bụ onyinye nwa ewu nta ka ọ ga-ewegara nwunye ya ahụ, mgbe ọbụla ọ gara ihu ya. Nwanyị ahụ ga-ebikwa n'ụlọ nna ya, n'ihi na nna ya a naghị ego akụ n'isi ya. Ma mgbe ọbụla di nwanyị ahụ ga-abịa, ọ ga-ewetara ọgọ ya ọtụtụ onyinye. Nwa ewu nta bụ onyinye onye ọbụla na-enye n'oge ahụ. Jen 38:17

6 Mgbe ndị Filistia chọpụtara ihe mere, ha jụrụ sị, “Onye mere ihe dị otu a?” A
gwara ha, “Ọ bụ Samsin ọgọ onye Timna, n’ihi na a kpọnyere enyi ya nwunye ya.”

N’ihi nke a, ndị Filistia niile zukọtara kpọpụta nwaagbọghọ ahụ na nna ya kpọọ
ha ọkụ. 7 Ma Samsin gwara ha okwu sị, “Ebe ọ bụ na unu mere ihe dị otu a, agaghị
akwụsị tutu m bọrọ ọbọ ihe ọjọọ unu mere.” 8 Ya mere, ọ pụkwuru ha ọzọ, site n’oke
iwe, gbuo ọtụtụ mmadụ n’ime ha. Mgbe nke a gasịrị, ọ gara biri n’ime otu ọgba
nkume nke Etam.

9 Ndị Filistia gara maa ụlọ ikwu ha n’ala Juda, gbasaa n’ala ahụ ruo obodo Lehi.
10 Ndị Juda jụrụ ajụjụ sị ha; “Ọ bụ gịnị mere unu ji bịa n’ebe a ibuso anyị agha?”

Ha zara sị, “Anyị na-achọ ijide Samsin, ka anyị megwara ya ihe ọjọọ o mere anyị.”

11 N’ihi nke a, ndị Juda zipụrụ puku ndị agha ka ha gaa jide Samsin n’ọgba nkume
ahụ nke Etam. Ndị a bịara jụọ Samsin ajụjụ sị ya, “Gịnị bụ ihe a i mere anyị? Ọ bụ
na ị maghị na ndị Filistia na-achị obodo anyị?”†

Samsin zara sị ha, “Ihe m mere bụ imegwata ha ihe ha mere m.”

12 Ha sịrị ya, “Anyị abịala ka anyị kee gị agbụ, dọkpụrụ gị, nye n’aka ndị Filistia.”

Samsin sịrị ha, “Ṅụọrọnụ m iyi na unu agaghị eji aka unu gbuo m.”

13 Ha zara sị ya, “Anyị agaghị egbu gị kama anyị ga-eke gị agbụ.” Ya mere, ha
kere ya agbụ, duru ya jekwuru ndị Filistia. 14 Mgbe ọ na-abịaru Lehi, ndị Filistia tiiri
mkpu, bịa izute ya. Mmụọ ONYENWE ANYỊ bịakwasịrị Samsin n’ebe ọ dị ukwuu. Nke
a mere ka eriri ahụ e kere ya n’aka dịrị ka eriri ogho flakisi erere ọkụ, sitekwa n’aka
ya dapụsịa. 15 Mgbe ahụ Samsin lere anya gburugburu, hụ ọkpụkpụ agba ịnyịnya ibu
nke tọgbọrọ n’ala n’ebe ahụ. Ọ tụtụlitere ya, were ya tigbuo puku ndị agha Filistia.

16 Mgbe ahụ, Samsin kwuru sị,

“E ji m agba ịnyịnya ibu
mee ka ha dị ka ịnyịnya ibu.
E ji m agba ịnyịnya ibu
tigbuo puku ndị ikom.”

17 Mgbe o kwuchara ihe ndị a, o tufuru ọkpụkpụ agba ịnyịnya ibu ahụ; a kpọkwara
ebe ahụ Ramat Lehi.

18 N’oge a, akpịrị kpọrọ Samsin nkụ nke ukwuu, n’ihi ya, ọ kpọkuru ONYENWE ANYỊ
n’ekpere sị, “Lee, i nyela ohu gị mmeri a dị ukwuu! Ma ugbu a, ị ga-ekwe ka m
nwụọ n’ihi akpịrị ịkpọ nku, si otu a daba n’aka ndị a na-ebighị ugwu?” 19 Chineke
gbawara olulu ahụ nke dị n’ime Lehi, mee ka mmiri si na ya nupụta. Mgbe Samsin
ṅụrụ mmiri ahụ, ike ya lọghachiri, mmụọ ya bịaghachikwara. Ya mere, a kpọrọ isi
iyi ahụ En-Hakkore. Mmiri ala ahụ ka dịkwa na Lehi n’ebe ahụ ruo taa.

20 Ya mere, Samsin kpere ụmụ Izrel ikpe iri afọ abụọ n’oge ndị Filistia.

# 16

*Samsin na Delaịla*

1 Otu ụbọchị, Samsin gara n’otu obodo ndị Filistia a na-akpọ Gaza, soro otu nwanyị
akwụna bi n’ebe ahụ hie ụra abalị. 2 A gwara ndị Gaza sị, “Samsin nọ n’obodo a.”
N’ihi ya, ha gbara ebe ahụ gburugburu ma nọdụ na-eche n’ọnụ ụzọ ama obodo ahụ
abalị niile. Ọ dịghị ihe ha mere n’abalị ahụ n’ihi na ha zubere sị, “Mgbe chi bọrọ,
anyị ga-egbu ya.”

3 Ma Samsin dinara n’ụlọ nwanyị akwụna ahụ ruo n’etiti abalị ahụ. Mgbe ọ pụtara,
ọ gara ruo n’ọnụ ụzọ obodo ahụ, foro ibo ọnụ ụzọ obodo ahụ, ya na ibo ya abụọ,
bukwasị ya n’ubu ya, buru ha gaa n’elu ugwu chere obodo Hebrọn ihu.

† **15:11** 15:11 Lev 26:25; Dit 28:43; Nkp 13:1; 14:4; Abụ 106:40-42

4 Ọ dịghị anya, Samsin hụrụ otu nwaagbọghọ, onye ọ hụrụ n’anya. Aha
nwaagbọghọ a bụ Delaịla, onye si n’obodo dị na Ndagwurugwu Sorek. 5 Ndị eze
ndị Filistia,[*] bịakwutere Delaịla rịọọ ya sị, “Gbalịa lee ma ị ga-enwe ike chọpụta ebe
ike Samsin si abịa, ka anyị nwee ike ịmata ụzọ anyị ga-esi jide ya, kee ya agbụ. Ọ
bụrụ na i meere anyị nke a, anyị na-ekwe nkwa na onye ọbụla n’ime anyị ga-enye gị
puku shekel na narị shekel ọlaọcha.”[†]
6 N’ihi nke a, Delaịla gwara Samsin okwu sị ya, “Gwa m ebe ike gị si abịa. Gwakwa
m otu mmadụ pụrụ isi kee gị agbụ, merie gị.”
7 Mgbe ahụ, Samsin zara sị ya, “Ọ bụrụ na mmadụ e jiri akwara eriri asaa dị ọhụrụ,
ndị a na-amịkpọghị amịkpọ kee m, m ga-abụkwa onye na-adịghị ike dịka mmadụ
ọbụla ọzọ.”
8 Ngwangwa, ndịisi ndị Filistia wetara ya eriri asaa dị ọhụrụ ndị a na-amịbeghị
n’anwụ, o weere ha kee Samsin. 9 Ma o mere ka ụfọdụ ndị ikom Filistia zoo onwe
ha n’otu akụkụ ụlọ ya. O tiri mkpu sị, “Samsin, lee, ndị Filistia abịala ijide gị!” Otu
mgbe ahụ kwa, Samsin biliri dọbisie eriri ahụ dịka ọ bụ eriri e ji ogho mee nke bịara
ọkụ nso. Ya mere, a chọpụtaghị ebe ike Samsin si abịa.
10 Emesịa, Delaịla gwara Samsin sị ya, “Lee, ị kwaala m emo, ghaara m ụgha. Biko,
gwa m ụzọ a ga-esi kee gị agbụ.”
11 Samsin zara sị ya, “Lee, ọ bụrụ na e jiri ụdọ ọhụrụ nke a na-ejibeghị kee ihe
mgbe ọbụla, kee m, aga m adịkwa dịka ndị ọzọ.”
12 Ya mere, Delaịla chịkọtara ụdọ ọhụrụ jiri ya kee ya nke ọma. Ma ụfọdụ ndị ikom
Filistia zokwara onwe ha n’ime ime ụlọ ahụ. Ọzọkwa, Delaịla tiri mkpu sị, “Samsin,
lee, ndị Filistia abịala ijide gị.” Ma Samsin biliri dọbisie eriri ahụ e ji kee ya ka a
ga-asị na ọ bụ ogho ka e ji mee ha.
13 Mgbe ahụ, Delaịla gwara ya sị, “Lee, ị na-eme ka abụ m onye nzuzu, ghaara m
ụgha. Gwa m eziokwu, otu a ga-esi kee gị agbụ.”
Samsin zara sị ya, “Lee, e kewara agịrị isi dị m n’isi ụzọ asaa, i were ụzọ nkekọta
asaa e kekọtara agịrị isi m, kpanyekọtaa ha n’ihe i ji ekwe akwa, were ntu osisi i
ji akpachi akwa kpachie ya, mgbe ahụ, aga m adịkwa ka ndị ọzọ.” Mgbe Samsin
rahụrụ ụra, Delaịla weere agịrị isi Samsin kpanyekọtaa ya n’ihe o ji ekwe akwa. 14 O
jikwa ǹtu osisi o ji akpachi akwa, kpachikọtasie agịrị isi Samsin ike.
Ọzọ, Delaịla sịrị ya, “Samsin, ndị Filistia abịala ijide gị.” Ma Samsin bilitere n’ike
fokọrọ ǹtu osisi ahụ, na ihe eji akpa akwa, na akwa akpara akpa.
15 Mgbe ahụ, Delaịla gwara ya okwu sị, “Olee ka i si kwuo na ị hụrụ m n’anya, ebe
ọ bụ na i nweghị ike ịgwa m ihe dị gị n’obi? Lee, ugbo atọ ndị a, i mere m ka m
dịka onye nzuzu, ma ị gwabeghị m ebe ike gị dị ruo ugbu a.” 16 Delaịla sikwara otu
a nyegide Samsin nsogbu tutu ruo mgbe Samsin na-enweghịkwa ike ịnagide nsogbu
ya.
17 Ya mere, ọ gwara ya ihe niile, “Ọ dịbeghị mgbe agụba ọbụla gara n’elu isi m,
n’ihi na abụ m onye Nazirait, onye e doro nsọ nye Chineke ka m bụ, site n’afọ nne m.
Ọ bụrụkwa na a kpụchapụ agịrị isi m, mgbe ahụ, ike niile dị m n’ahụ ga-apụ. Mgbe
ahụ, aga m adịkwa ka ndị ọzọ.”
18 Mgbe Delaịla matara na ọ gwala ya ihe niile, o ziri ozi kpọọ ndịisi ndị Filistia
ahụ, sị, “Bịaghachinụ otu ugbu a, n’ihi na ọ gwara m ihe niile.” Ya mere, ndịisi ndị
Filistia lọghachiri jiri ego ọlaedo ahụ n’aka ha. 19 Ma Delaịla mere ka o dinaa n’apata
ụkwụ ya rahụ ụra. Mgbe ahụ, ọ kpọbatara nwoke na-akpụcha isi, ka ọ kpụchapụ
agịrị isi niile dị Samsin n’isi, si otu a mee ka ike ghara ịdịkwa ya. Ike ya hapụrụ ya.
20 O tiri mkpu sị, “Samsin, lee, ndị Filistia abịala ijide gị.”

---

[*] **16:5** 16:5 Filistia bụ ala nwere obodo ise n’ime ya, nke ndị eze ise na-achị. Jos 13:3 [†] **16:5** 16:5 A chịkọta ego niile e kweere na nkwa inye n’ihi ijide Samsin, ọ bụ ọnụ ego a na-akwụ n’isi narị ohu na iri asaa na ise.

Ma mgbe Samsin bilitere site n'ụra, o chere n'obi ya, "Aga m apụ ka m si mee na mbụ megharịa arụ ma nwere onwe m." Ma ọ maghị na ONYENWE ANYỊ ahapụla ya.
21 Ndị Filistia jidere ya, ghụpụ ya anya ya abụọ, duru ya gbadata Gaza. N'ebe ahụ, ha jiri ụdọ bronz kee ya agbụ, nye ya ọrụ ịnyaghari igwe na-akwọ ọka n'ụlọ mkpọrọ ha tinyere ya. 22 Mgbe na-adịghị anya, agịrị isi ya malitekwara ito ọzọ.

### *Ọnwụ Samsin*

23 Ugbu a, ndịisi ndị Filistia niile zukọtara ịchụrụ chi ha bụ Dagọn,‡ aja dị ukwuu, na ịṅụrị ọṅụ, na-asị, "Chi anyị enyela Samsin bụ onye iro anyị n'aka anyị."
24 Mgbe ndị mmadụ hụrụ ya, ha toro chi ha sị,
"Chi anyị enyela onye iro anyị
n'aka anyị,
onye mere ka ala anyị tọgbọrọ n'efu
gbukwaa ọtụtụ ndị anyị."
25 Mgbe ha ka nọ n'obi ụtọ, ha tiri mkpu sị, "Dupụtara anyị Samsin, ka o kpaa anyị ọchị." Ya mere, e dupụtara Samsin site n'ụlọ mkpọrọ ka o meere ha ihe egwuregwu.
Ha mere ka o guzo n'etiti ebe ogidi e ji wuo ụlọ ahụ dị. 26 Mgbe ahụ, Samsin sịrị
onye na-eji ya n'aka sị, "Debe m n'ebe m ga-emetụ ogidi ndị ụlọ a na-eguzo na ha
aka, ka m nwe ike dabere na ha." 27 N'oge a, mmadụ ejupụtala n'ime ụlọ ahụ, nwoke
na nwanyị; ndịisi ọchịchị ndị Filistia nọkwa n'ebe ahụ. Ndị ọzọ ọnụọgụgụ ha ruru
puku atọ, nwoke na nwanyị, nọ n'elu ụlọ ahụ na-ele Samsin, ebe ọ na-emere ha ihe
ọchị. 28 Mgbe ahụ, Samsin kpere ekpere rịọọ ONYENWE ANYỊ arịrịọ sị, "O! Onyenwe m
ONYENWE ANYỊ, biko cheta m naanị otu ugbu a. Biko, Chineke, nye m ike n'otu ohere
a m nwere, ka m nwee ike ịbọrọ ọbọ n'ahụ ndị Filistia n'ihi, ọ bụladị, mkpụrụ anya
m abụọ." 29 Mgbe ahụ, Samsin jidesiri ogidi abụọ dị n'etiti ụlọ ahụ aka ike, aka nri
ya n'otu, aka ekpe ya na nke ọzọ. 30 Samsin kpere ekpere sị, "Ka m soro ndị Filistia
nwụọ!" O ji ike ya niile nuo ogidi ahụ aka. Otu mgbe ahụ kwa, ụlọ arụsị ahụ dara, dakwasị ndịisi ọchịchị Filistia ndị ahụ, na ndị niile nọ n'ime ụlọ ahụ. Ya mere, ndị niile so Samsin nwụọ n'oge ahụ dị ọtụtụ karịa ndị Samsin gburu mgbe ọ dị ndụ.
31 Mgbe ihe ndị a gasịrị, ụmụnna ndị ikom Samsin, na ndị ezinaụlọ nna ya bịara n'ebe ahụ, buru ozu ya. Ha liri ya n'agbata Zora na Eshtaol, ebe e liri nna ya Manoa. Samsin kpere ụmụ Izrel ikpe iri afọ abụọ.

# 17

### *Arụsị Maịka*

1 E nwere otu nwoke si n'ala ugwu ugwu Ifrem, aha ya bụ Maịka. 2 Otu ụbọchị,
Maịka gwara nne ya okwu sị ya, "I chetara puku na narị ego ọlaọcha shekel ndị ahụ funarịrị gị, nke i ji n'ihi ya bụọ onye zuru ya ọnụ n'oge gara aga? Eji m ọlaọcha ahụ. Ọ bụ m weere ya."
Nne ya sịrị, "Ka ONYENWE ANYỊ gọzie gị nwa m!"
3 Mgbe o nyeghachiri nne ya puku na narị ego ọlaọcha shekel ahụ, nne ya gwara ya sị, "Ana m edo ọlaọcha ndị a nsọ nye ONYENWE ANYỊ n'ihi nwa m nwoke maka iji ya mee oyiyi a pịrị apị na arụsị a kpụrụ akpụ. Aga m emesịa nyeghachi gị ya."
4 Ya mere, o nyeghachiri nne ya ọlaọcha ahụ, Nne ya weere narị ego ọlaọcha shekel abụọ wegara ọkpụ ụzụ ọlaọcha, onye jiri ya mee oyiyi a pịrị apị na ihe a kpụrụ akpụ. E tinyere ha n'ụlọ Maịka.
5 Nwoke ahụ bụ Maịka nwere ụlọ arụsị, o mere efọọd na arụsị ezinaụlọ* dị iche
iche, mee otu n'ime ụmụ ya ndị ikom ka ọ bụrụ onye nchụaja ya. 6 N'ụbọchị ndị a,

‡ **16:23** 16:23 Dagọn bụ chi ahịhịa ndụ nye ndị Filistia. Ogidi oyiyi ya bụ ọkara mmadụ na ọkara azụ. N'asụsụ ndị Hibru, Dagọn pụtara mkpụrụ ọka, ebe mkpụrụ okwu a Dag pụtara azụ. * **17:5** 17:5 Maọbụ, terafim

Izrel enweghị eze na-achị ha. N’ihi nke a, onye ọbụla na-eme ihe ọbụla ọ chọrọ, na
ihe ọbụla dị ya mma n’anya.
7 Otu nwokorobịa onye Livayị, sitere n’obodo Betlehem nke dị na Juda, bụ onye
binyere ndị agbụrụ Juda, 8 hapụrụ obodo ahụ, bụ Betlehem Juda ịchọ ọnọdụ n’ebe
ọzọ. Mgbe ọ na-aga, ọ bịaruru n’ụlọ Maịka n’ala ugwu ugwu Ifrem.
9 Maịka jụrụ ya, “Ebee ka i si bịa?”
Ọ sịrị “Abụ m onye Livayị si Betlehem dị na Juda. Ana m achọrọ onwe m ebe m
ga-anọ.”
10 Mgbe ahụ, Maịka sịrị ya, “Soro biri n’ụlọ m, ghọkwara m nna na onye nchụaja,
aga m akwụ gị mkpụrụ ego ọlaọcha shekel iri kwa afọ, nyekwa gị uwe, na ihe oriri.”
11 Ya mere, onye Livayị ahụ kwere n’ihe ọ gwara ya, nwokorobịa ahụ sooro ya biri
ka otu n’ime ụmụ ya ndị ikom. 12 Mgbe ahụ, Maịka nyere onye Livayị ahụ ọrụ,
nwokorobịa ahụ ghọọrọ ya onye nchụaja, birikwa n’ụlọ ya. 13 Mgbe ahụ, Maịka
kwuru, “Ugbu a, amaara m na Onyenwe anyị ga-agọzi m nke ukwuu, n’ihi na onye
Livayị a aghọọla onye nchụaja m.”

# 18

*Ebo Dan ebiri na Laish*

1 N’oge ahụ kwa, ụmụ Izrel enweghị eze ọbụla na-achị ha.
Ebo Dan na-achọkwara onwe ha ebe obibi nke ga-abụ ala nke aka ha, n’ihi na ruo
ugbu a, ha enwebeghị ike chụpụ ndị bi n’ala ahụ e kenyere ha dịka ihe nketa nke
ha. 2 N’ihi nke a, ebo Dan sitere n’ikwu ise dị n’ebo ha họpụta mmadụ ise. Ndị a bụ
dimkpa, na dike n’agha, bụrụkwa ndị si n’obodo Zora na Eshtaol. Ha zipụrụ mmadụ
ise ndị a ka ha gaa nyochaa ala ahụ ha na-achọ ibi n’ime ya.
Mgbe ndị ahụ jeruru obodo ugwu ugwu Ifrem, ha gara nọdụ ọdụ abalị n’ụlọ Maịka.
3 Mgbe ha nọ nso ụlọ Maịka, ha nụrụ asụsụ nwokorobịa onye Livayị ahụ bụ onye
nchụaja. Ha kpọpụtara ya n’otu akụkụ jụọ ya ajụjụ sị, “Onye kpọtara gị ebe a? Gịnị
ka ị na-eme n’ebe a? Gịnị mere i ji bịa n’ebe a?”
4 Nwokorobịa ahụ kọwara ha ihe Maịka meere ya. Ọ gwara ha, “O nyere m ọrụ,
abụkwa m onye nchụaja ya.”
5 Ha sịrị ya, “Ọ dị mma! Biko, jụta Chineke ase, chọpụta ma ije anyị a ọ ga-agakwa
nke ọma.”
6 Onye nchụaja ahụ zara sị ha, “Gaa n’udo. Ije unu nwere ngọzị Onyenwe anyị.”
7 Ya mere, ndị ikom ise ndị ahụ biliri ije bịaruo n’obodo Laish, ebe ha hụrụ na ndị
ahụ na-ebi n’udo, na-enweghị nsogbu ọbụla. Ha dịka ndị obodo Saịdọn, ndị onwe
ha juru afọ, ndị na-adịghị atụ anya ihe egwu ọbụla. Ha bụ ndị bara ụba, ebe ọ dịghị
ihe ọbụla kọrọ ụkọ n’ala ahụ. Ọzọ, ha bi n’ebe dị anya site n’obodo ndị Saịdọn. Ọ
dịkwaghị ihe ha na mmadụ ọbụla nwekọrọ.
8 Mgbe ndị nnyocha ahụ laghachiri n’obodo Zora na Eshtaol, ndị ebo Dan ibe ha
jụrụ ha, sị, “Unu si aṅaa jee? Gịnị ka unu chọpụtara?”
9 Ha zara sị, “Bịanụ, ka anyị gaa buso ha agha. Anyị ahụla ala ahụ, ọ dịkwa mma
nke ukwu. Gịnị ka unu na-agbara nkịtị? Unu egbula oge ịba n’ebe ahụ nweta ya.
10 Mgbe unu ruru ebe ahụ, unu ga-ahụ ndị na-adịghị atụ anya ihe egwu ọbụla, na ala
sara mbara nke Chineke na-etinye unu n’aka. Ala nke ihe ọbụla na-adịghị akọ n’ime
ya.”
11 Ya mere, narị ndị agha isii ndị si n’ebo Dan biliri gaa ibuso obodo ahụ agha. Ha
sikwa Zora na Eshtaol pụọ. 12 Mgbe ha na-aga, ha rutere Kiriat Jearim, nke dị na
Juda, maa ụlọ ikwu ha n’ebe ahụ. Ọ bụ ya mere e ji akpọ ebe ahụ dị n’akụkụ ọdịda
anyanwụ Kiriat Jearim Mahane Dan ruo taa. 13 Emesịa, ha pụrụ n’ala ugwu ugwu
Ifrem, bịarute n’ụlọ Maịka.

14 Mmadụ ise ndị ahụ gara nnyochapụta ala (ya bụ ala Laish) ahụ gwara ụmụnna
ha sị, "Unu maara na n'ime otu ụlọ ndị a na e nwere efọọd, n'ụfọdụ arụsị ezinaụlọ
ndị dị iche iche, na oyiyi a kpụrụ akpụ nke eji ọla wuo? Ugbu a, maranụ ihe unu
ga-eme." 15 Ya mere, ha gara n'ebe ahụ, banye n'ụlọ nwokorobịa Livayị ahụ, ebe o
bi n'ụlọ Maịka, jụọ ya maka ọdịmma ya. 16 Narị ndị ikom Dan, ndị jikere ibu agha,
guzo n'ọnụ ụzọ ama. 17 Mgbe ahụ, ndị nnyocha ise ahụ banyere n'ime ụlọ ahụ buru
arụsị ọla ahụ, na efọọd ahụ, na arụsị ezinaụlọ ndị ahụ, ma onye nchụaja ahụ na
narị ndị agha isii ndị ji ngwa agha guzo n'ọnụ ụzọ ama.
18 Mgbe ndị ikom ahụ banyere n'ụlọ Maịka buru arụsị ọla ahụ, efọọd ahụ na arụsị
ezinaụlọ ndị ọzọ ahụ, onye nchụaja ahụ sịrị ha, "Gịnị ka unu na-eme?"
19 Ha zara sị ya, "Mechie ọnụ gị! Ekwukwala okwu ọbụla. Soro anyị bịa bụrụ nna
anyị na onye nchụaja anyị. Ọ ga-abara gị uru karịa ịbụ onye nchụaja nye otu ebo
na otu agbụrụ n'Izrel, karịa ịbụ onye nchụaja nke naanị otu nwoke n'ime ezinaụlọ
ya." 20 Mgbe ahụ, obi tọrọ nwokorobịa onye nchụaja ahụ ụtọ isoro ha gaa. O buuru
efọọd ahụ, arụsị ezinaụlọ ndị ọzọ ahụ na oyiyi ahụ a pịrị apị soro ndị ahụ gawa.
21 Ha malitekwara ije ha, ụmụntakịrị ha, na igwe anụ ụlọ ha, na ngwongwo ha ka ha
tinyere n'ihu ha.
22 Mgbe ha gamitụrụ nke nta site n'ụlọ Maịka, ndị ikom ndị bi nso ụlọ Maịka
kpọkọtara onwe ha chụso ndị Dan, gafee ha. 23 Maịka na ndị so ya na-etikwa mkpu
na-akpọku ha sị ha kwụsị ije ha. Ma ndị ebo Dan jụrụ Maịka ajụjụ sị ya, "Gịnị na-eme
gị iji kpọpụta ndị gị ka ha bịa lụso anyị agha?"
24 Ọ zaghachiri, "Unu chịịrị chi ndị m mere, kpọrọ onye nchụaja m pụọ. Gịnị ọzọ
ka m nwekwara? Olee otu unu si ajụ, 'Gịnị na-eme gị?' "
25 Ndị ikom Dan zara sị ya, "Lezie anya kpachara anya banyere ụdị okwu ị na-ekwu.
N'ihi na i kwuo ụdị okwu a gaa n'ihu, ụfọdụ ndị ikom isi na-anụ ọkụ ga-abịa lụso gị
agha gbuo gị na ndị ezinaụlọ gị." 26 Ya mere, ndị ebo Dan gbara ya nkịtị na-aga ebe
ha na-aga. Mgbe Maịka hụrụ na ha dị ọtụtụ karịa ya, ọ hapụrụ ha, tụgharịa laghachi
n'ụlọ ya.
27 Ụmụ Dan chịịrị arụsị ahụ niile Maịka mere, durukwa onye nchụaja ya gawa
n'obodo Laish, obodo nọ n'udo, nke na-adịghị atụ anya ihe egwu ọbụla. Ha busoro
ndị obodo ahụ agha, suo obodo ahụ ọkụ. 28 Ọ dịghị onye ọbụla nwere ike bịa inyere
ndị obodo ahụ aka n'ihi ha bi n'ebe dị anya site n'obodo Saịdọn. O nwekwaghị obodo
ọbụla ha na ha na-emekọrịta. Obodo a dị na ndagwurugwu dị nso na Bet-Rehob.
Emesịa, ndị ebo Dan wughachiri obodo ahụ ọzọ, biri n'ime ya. 29 Ọ bụ nke a mere
e ji kpọọ aha obodo ahụ Dan, nke bụ aha nna ha ochie, onye bụ nwa Izrel. Ma
tupu ebo Dan ebibie ya, aha obodo a n'oge gara aga bụ Laish. 30 N'ebe ahụ ndị Dan
guzobeere onwe ha arụsị, Jonatan, nwa Geshọm, nwa Mosis, na ụmụ ya ndị ikom
niile ghọọrọ ndị nchụaja nye ebo Dan ruo n'oge a dọtara ala ahụ n'agha. 31 * Ndị
ebo Dan nọgidere na-efe arụsị ndị ahụ Maịka mere oge ahụ niile ụlọ nzute Chineke
dị na Shaịlọ.

# 19

*Onye Livayị na iko ya nwanyị*

1 N'oge a, Izrel enweghị eze na-achị ha.
N'oge ahụ kwa, ọ dị otu nwoke, onye Livayị bi n'ebe dị anya n'ala ugwu ugwu
Ifrem. Nwoke a gara Betlehem, n'ime Juda, kpọrọ otu nwaagbọghọ ka ọ bụrụ iko
ya nwanyị. 2 Ma iko ya nwanyị ahụ kwara iko megide ya. Ọ hapụrụ ya laghachi
n'ezinaụlọ nne na nna ya na Betlehem, Juda. Ọ nọrọ ọnwa anọ n'ebe ahụ. 3 Nwoke

* **18:31** 18:31 Dit 12:1-32; Jos 18:1,8; Nkp 18:18; 21:12

ahụ kpebiri ịga n'ụlọ nna nwaagbọghọ ahụ ịrịọ ya ka ọ lọghachi. Ọ kpọọrọ otu
n'ime ndị ohu ya, duru ịnyịnya ibu abụọ. Mgbe nwoke ahụ bịaruru n'ụlọ ahụ, iko
ya nwanyị kpọbatara ya n'ụlọ nna ya. Mgbe nna nwaagbọghọ ahụ hụrụ ya, o jiri
ọṅụ kelee ya ekele. 4 Nna nwanyị ahụ rịọrọ ya ka ọ nọnyere ha ụfọdụ oge. N'ihi nke
a, ọ nọnyeere ha ụbọchị atọ. Ha niile nọrọ ọnọdụ obi ụtọ abalị atọ ahụ niile, rie
ṅụọkwa.
5 N'ụbọchị nke anọ, nwoke ahụ na iko ya jikeere n'isi ụtụtụ ịlaghachi. Ma nna
nwanyị ahụ rịọrọ ha sị ha, "Jirinụ ihe oriri gbaanụ onwe unu ume. Emesịa unu
nwere ike ịlawa." 6 Ya mere, ha abụọ nọdụrụ ala rie ihe, ṅụọkwa ihe ọṅụṅụ. Mgbe e
mesiri, nna nwaagbọghọ ahụ sịrị ha, "Biko, nọdụnụ rahụ ụra n'abalị taa, meekwanụ
onwe unu obi ụtọ." 7 Ma mgbe nwoke ahụ biliri ka ọ laa, nna nwaagbọghọ ahụ,
nọgidere ya, nke a mere ka o kwenye ịnọ ruo echi ya. 8 N'isi ụtụtụ ụbọchị nke ise,
ha bilikwara ngwangwa jikere ịhapụ ma ịlaghachi. Ọzọkwa, nna nwaagbọghọ ahụ
rịọkwara ha sị ha, "Biko, nọgidenụ n'ụtụtụ taa, ma n'oge ehihie unu nwere ike laa."
N'ihi nke a, ha nọgidekwara rie, ṅụọ.
9 Mgbe nwoke ahụ na iko ya nwanyị, na ohu ya, jikeere ịhapụ, nna nwaagbọghọ
ahụ rịọkwara ha sị ha, "Biko, lee chi ebidola iji ugbu a, abalị adịkwala nso. Biko,
nọgide n'ụlọ m naanị abalị taa. Anyị ga-emekwa onwe anyị obi ụtọ abalị taa niile.
Ma unu ga-amalite ije unu n'isi ụtụtụ echi. Mgbe ahụ, unu ga-ala n'udo." 10 Ma nwoke
ahụ ekweghị ịnọ ọnọdụ abalị ọzọ, ọ hapụrụ gawa n'ụzọ ije Jebus (ya bụ Jerusalem),
ya na ịnyịnya ibu ya abụọ akwadoro maka njem nakwa iko ya nwanyị.
11 Ha rutere ebe ahụ oge chi na-akwado iji. Ohu ya sịrị nna ya ukwu, "Bịa, ka anyị
kwụsị n'obodo ndị Jebus a, nọ ọnọdụ abalị."
12 Ma nna ya ukwu zaghachiri, "Mba! Anyị agaghị aba n'obodo ndị na abụghị ụmụ
Izrel. Anyị ga-aga n'ihu ruo Gibea." 13 O kwukwara sị, "Bịa ka anyị gbalịa iru Gibea
maọbụ Rema, nọọ ọnọdụ abalị n'otu n'ime ebe ndị a." 14 Ya mere, ha gara n'ihu n'ije
ha. Anwụ dara dịka ha na-eru Gibea dị na Benjamin. 15 N'ebe ahụ ka ha kwụsịrị
ịnọ ọnọdụ abalị. Ha gara nọrọ na mbara ama obodo ahụ, ma o nweghị onye ọbụla
kpọbatara ha ka ha rahụ ụra n'ụlọ ya.
16 N'anyasị ahụ, otu agadi nwoke zutere ha ka o si ịrụ ọrụ n'ubi na-alọghachi, onye
si n'obodo ugwu ugwu Ifrem, ma o bi ka onye ọbịa na Gibea (ndị bi n'ebe a bụ ndị
Benjamin). 17 Mgbe agadi nwoke a hụrụ ndị ije ahụ na mbara ama obodo ahụ, ọ jụrụ
ha ajụjụ sị, "Ebee ka unu si bịa? Ebee ka unu na-aga?"
18 Nwoke ahụ zara sị ya, "Anyị si Betlehem dị na Juda na-alọghachi n'ụlọ anyị dị
n'ebe dị anya n'ala ugwu ugwu Ifrem. Esi m ebe ahụ gaa Betlehem dị na Juda, ma
ugbu a, ana m aga n'ụlọ Onyenwe anyị. O nweghị onye kpọbatara anyị n'ụlọ ya.
19 Anyị nwere ihe oriri nke ịnyịnya ibu anyị ga-eri, achịcha na mmanya nke anyị bụ
ndị ohu gị ga-eri, ya bụ, mụ onwe m na ohu gị nwanyị na nwokorobịa so anyị. Anyị
achọghị ihe ọbụla n'aka onye ọbụla."
20 Agadi nwoke ahụ sịrị ha, "Batanụ n'ụlọ m dịka ndị ọbịa nke m. Ka m nye unu ihe
niile bụ mkpa unu. Naanị unu anọla ọnọdụ abalị n'ama." 21 N'ihi nke a, ọ kpọbatara
ha n'ụlọ ya. O duuru ịnyịnya ibu ha, nye ha ihe oriri. Emesịa, ha sara ụkwụ* ha
mmiri, nọdụ ala rie ma ṅụọkwa.
22 Ma mgbe ha risiri nri, nọrọ na-ezu ike, na-akpakọrịta ụka, na mberede, ndị ikom
ụfọdụ sitere n'obodo ahụ, ndị jọgburu onwe ha n'omume gbara ụlọ ahụ gburugburu.
Ha malitekwara iti aka n'ụzọ ahụ na iti mkpu na-akpọku agadi nwoke ahụ, sị ya,
"Kpọpụta onye ọbịa ahụ nọ n'ime ụlọ gị ka anyị mara ya."

* **19:21** 19:21 Ịsacha ụkwụ bụ omenaala i ji gosi na-anabatara mmadụ mgbe ọ batara n'ụlọ. Mmemme a bụ ihe a na-eme ebe ndị mmadụ na-eji ụkwụ aga ogologo ụzọ, n'ala ebe uzuzu jupụtara. Jen 18:4; Jọn 13:5

23 Agadi nwoke ahụ bụ onyenwe ụlọ ahụ pụkwuuru ha n’ezi, sị ha, “Biko ụmụnna
m, unu emela ihe ọjọọ dị otu a. Nwoke a nọ n’ụlọ m dịka ọbịa. Unu emela ihe ihere
dị otu a. 24 Ka m kpọpụtara unu nwa m nwanyị na-amaghị nwoke, na iko nwanyị
nwoke a ka unu jiri ha mee ihe ọbụla unu chọrọ ma hapụnụ nwoke a. Unu emela
ihe ihere dị otu a.”
25 Ma ndị ikom ahụ egeghị ya ntị. Ya mere, nwoke ahụ kpọpụtara iko ya nwanyị
zipụrụ ha ya n’ezi. Ha niile n’otu na otu, dinakwuru nwanyị ahụ abalị ahụ niile. Mgbe
chi na-achọ ịbọ, ha hapụrụ ya ka ọ laa. 26 N’isi ụtụtụ, nwanyị ahụ biliri laghachi azụ
n’ụlọ ahụ iko ya nwoke nọ. Ma ọ dara n’ala n’ihu ọnụ ụzọ ụlọ ahụ tọgbọrọ n’ebe
ahụ tutu chi abọzie.
27 Mgbe nwoke ahụ biliri n’ụtụtụ, meghee ụzọ ka ọ malite ije ya, ọ hụrụ iko ya
nwanyị ahụ ka ọ tọgbọ n’ọnụ ụzọ ahụ. Aka ya abụọ dịkwa n’ọnụ ụzọ mbata ụlọ
ahụ. 28 Nwoke ahụ kpọkuru ya sị ya, “Ngwa, bilie ka anyị laa.” Ma nwaagbọghọ ahụ
ekwughị okwu ọbụla. Nwoke ahụ buliri ya, tụkwasị ya n’elu ịnyịnya ibu ya, buru ya
laa n’obodo nke aka ya.
29 Mgbe ọ bịaruru obodo ya, ọ banyere n’ụlọ ya wepụta mma jiri ya bọwaa ozu iko
ya nwanyị ahụ ụzọ iri na abụọ. O zigaara ebo iri na abụọ niile dị n’Izrel otu ụzọ, otu
ụzọ. 30 N’ihi nke a, Onye ọbụla hụrụ ihe ọjọọ a kwuru sị, “O nwebeghị onye ọbụla
mere ụdị ajọ omume dị otu a kemgbe ụmụ Izrel si n’obodo Ijipt pụta. Chee echiche
banyere ihe a. Tulee ya ma gwa anyị ihe anyị ga-eme?”

# 20

*Ndị Izrel ebuso ebo Benjamin agha*

1 Mgbe ahụ, ndị Izrel niile ndị si n’ala Dan ruo Bịasheba, tinyere ndị si n’ala Gilead,
pụtara dịka otu mmadụ, bịa zukọọ n’ihu ONYENWE ANYỊ na Mizpa. 2 Ndị ndu ebo Izrel
niile weere ọnọdụ na nzukọ nke ndị Chineke, ọnụọgụgụ ha bụ narị puku ndị agha
anọ, ndị na-ebu mma agha. 3 Mgbe na-adịghị anya, nzukọ ụmụ Izrel niile na Mizpa
ruru ụmụ Benjamin ntị. Mgbe ahụ, ndịisi Izrel niile kpọrọ nwoke ahụ e gburu iko
ya nwanyị sị ya, “Kọọrọ anyị otu ihe ọjọọ a si mee.”
4 Ya mere, onye Livayị ahụ, di nwanyị ahụ e gburu kwuru sị, “Mụ na iko m nwanyị
bịaruru obodo Gibea, obodo nta ndị Benjamin, kwụsị n’ebe ahụ ịnọ ọnọdụ abalị.
5 N’oge abalị, ndị ikom Gibea bịara gba ụlọ anyị nọ n’ime ya gburugburu. Nzube ha
bụ igbu m. Ma ha jidere iko m nwanyị, dinakwuru ya n’ike, tutu ruo mgbe ọ nwụrụ.
6 N’ihi ya, abọwasịrị m ahụ iko m nwanyị ụzọ iri na abụọ, zisa ya n’akụkụ niile nke
ihe nketa ndị Izrel niile n’ihi na ndị ikom Gibea ndị ahụ emeela ihe ọjọọ na ihe ihere
n’ala Izrel. 7 Ugbu a, unu ụmụ Izrel niile, unu onwe unu tụleenụ okwu a, nyekwanụ
ndụmọdụ ihe a ga-eme ebe a.”
8 Ndị mmadụ niile kulitere dịka otu onye, sị, “O nweghị onye ọbụla ga-ala na be
ya. O nweghị onye ọbụla ga-esi n’ebe a laa n’ụlọ ya. 9 Ma ugbu a, nke a bụ ihe anyị
ga-eme ndị Gibea. Anyị ga-efe nza chọpụta ndị ga-aga lụso ndị Gibea agha. 10 Anyị
ga-esite n’ebo niile nke Izrel họpụta mmadụ iri site na narị mmadụ, họpụta narị
mmadụ site na puku mmadụ, họpụtakwa puku mmadụ site n’iri puku mmadụ, ka
ha hụ maka iwetara ndị agha ihe oriri. Mgbe ndị agha a rutere Geba dị na Benjamin,
anyị pụrụ ịkwụghachi ha ụgwọ ruru ha dịka ihe ihere niile ha mere n’ala Izrel si
dị.” 11 Ya mere, ndị Izrel niile jikọtara onwe ha ọnụ ibu agha ahụ dịka otu onye,
megide obodo ahụ.
12 Ndị ebo Izrel zipụrụ ndị ozi ka ha gazuo ebo Benjamin niile, sị ha, “Gịnị bụ ihe
ọjọọ nke a jọgburu onwe ya emere n’etiti unu? 13 Ugbu a, kpọpụtara anyị ndị ikom
ọjọọ dị a si n’obodo Gibea ka anyị gbuo ha. Anyị ga-esikwa otu a hichapụ ihe ọjọọ a
site n’Izrel.”

Ma ụmụ Benjamin egeghị ndị Izrel ibe ha ntị. 14 Ha sitere n’obodo ha dị iche iche
zukọtaa na Gibea maka ibuso ndị Izrel agha. 15 N’ụbọchị ahụ, ndị Benjamin sitere
n’obodo ha dị iche iche kpọkọta iri puku ndị ikom abụọ na puku isii bụ ndị na-
amịpụta mma agha, tinyere narị ndị ikom asaa ahụ zuruoke site na ndị bi na Gibea.
16 N’ime ndị agha ndị a, e nwere narị ndị agha asaa, ndị a maara nke ọma dịka ndị
na-agbata ụta nke ọma.* Ha bụ ndị na-eme aka ekpe, onye ọbụla n’ime ha nwere
ike iji okwute mata otu agịrị isi, ghara ịmahie ya.

17 Ma ọnụọgụgụ ndị agha ụmụ Izrel, ma ọ bụrụ na e wezuga ụmụ Benjamin, dị
narị puku anọ.

18 Ma tupu agha ahụ ebido, ndị agha Izrel buru ụzọ gaa Betel ịjụta Chineke ase. Ha
jụrụ ya sị, “Olee ebo ga-edu anyị ibuso ndị agha Benjamin agha?”

ONYENWE ANYỊ zara sị ha na ọ bụ Juda ga-ebu ụzọ.

19 N’ihi nke a, n’isi ụtụtụ echi ya, ndị agha ụmụ Izrel niile buliri ihe agha ha pụọ,
maa ụlọ ikwu ha nso nso Gibea. 20 Emesịa, ndị Izrel pụrụ izute ndị Benjamin, doo
onwe ha n’usoro ibu agha na Gibea. 21 Ma n’ụbọchị ahụ, ndị Benjamin si Gibea
nupụta n’igwe gbuo ndị agha Izrel ọnụọgụgụ ha dị iri puku abụọ na puku abụọ.
22 Ndị agha Izrel gbarịtara onwe ha ume, ma werekwa ọnọdụ ibu agha dịka ha
mere n’ụbọchị mbụ. 23 Ndị agha Izrel kwara akwa nke ukwuu n’ụbọchị ahụ n’ihu
ONYENWE ANYỊ site n’ụtụtụ ruo anyasị. Ha jụrụ ONYENWE ANYỊ ase ọzọ sị ya, “Anyị
ga-aga n’ihu ịlụso ụmụnna anyị ndị Benjamin ọgụ?”

ONYENWE ANYỊ zara sị ha, “Gaanụ ga lụso ha agha.”

24 N’ihi nke a, ndị Izrel jeghachikwara ọzọ ibuso ụmụ Benjamin agha n’ụbọchị nke
abụọ ya. 25 N’oge a kwa, ndị agha Benjamin si n’obodo Gibea pụta ibuso ha agha.
Ha gburu ndị agha Izrel ọnụọgụgụ ha dị puku iri na asatọ. Ndị a niile bụkwa ndị ji
mma agha ebu agha.

26 Mgbe ahụ, ndị Izrel niile gara Betel, nọdụ n’ebe ahụ, kwaa akwa n’ihu ONYENWE
ANYỊ Ha erighị nri ọbụla n’ụbọchị ahụ site n’ụtụtụ ruo n’anyasị. Ha chere n’ihu
ONYENWE ANYỊ onyinye aja udo, ma chụọkwa aja nsure ọkụ. 27 Ndị Izrel jụrụ ase
site n’aka ONYENWE ANYỊ. (N’oge ndị ahụ, igbe ọgbụgba ndụ Chineke dị n’ebe ahụ.
28 Finehaz nwa Elieza, nwa nwa Erọn na-eje ozi nchụaja n’ebe ahụ.) Ụmụ Izrel jụrụ
ONYENWE ANYỊ ase sị ya, “Ọ bụ anyị gaakwa ọzọ ibuso ụmụnna anyị ndị Benjamin
agha, ka ị sị anyị agala?”

ONYENWE ANYỊ zara sị ha, “Gaanụ, n’ihi na aga m ahụ na unu meriri ndị agha
Benjamin echi.”

29 N’ihi nke a, ụmụ Izrel kewapụtara ndị zoro onwe ha n’ọhịa, gburugburu obodo
Gibea. 30 N’ụbọchị nke atọ ya, ha pụrụ gaakwa izute ndị Benjamin, ha were ọnọdụ
ha imegide ndị Gibea dịka ha mere n’oge gara aga. 31 Ndị Benjamin pụtara izute ha,
e mere ka ha site n’obodo pụọ. Ha malitere igbu ndị Izrel dịka ha mere na mbụ,
nke mere na ndị ikom iri atọ dara nwụọ n’ọhịa ma na ụzọ, otu nke gawara obodo
Betel, na nke ọzọ gawara obodo Gibea. 32 Ya mere, mgbe ndị agha Benjamin malitere
na-asị, “Lee, anyị emeriela ha dịka anyị mere na mbụ,” ndị Izrel nọ na-ekwu sị, “Ka
anyị gbara ọsọ na-aga ruo mgbe ha ga-anọ ebe dị anya site n’obodo ha.”

33 Ndị ikom niile nke Izrel sitere n’ọnọdụ ha bilie, doo onwe ha n’usoro na Baal-
Tama, ndị Izrel ndị zoro onwe ha wapụtara site n’ọnọdụ ha n’ọdịda anyanwụ nke
Geba, si n’ọhịa mapụta. 34 Iri puku ndị ikom Izrel ahụ zuruoke gara na ncherita
ihu Gibea busoo ya agha. Agha ahụ dị ike nke ukwuu nke mere na ndị Benjamin
amataghị na oke mbibi na-abịakwasị ha. 35 ONYENWE ANYỊ meriri ndị Benjamin n’ihu
Izrel, n’ụbọchị ahụ; ndị Izrel gburu ndị agha Benjamin ọnụọgụgụ ha dị iri puku abụọ,

* **20:16** 20:16 Nkp 3:16; 1Ih 12:2

na puku ise, na otu narị. Ha niile bụkwa ndị na-eji mma agha aga agha. 36 Mgbe ahụ,
ndị Benjamin n’onwe ha, hụrụ na e emeriela ha.
Ugbu a, ndị ikom Izrel nyere ndị Benjamin ohere ịga n’ihu, n’ihi na ha dabere na
ndị ha zoro n’ọhịa n’akụkụ Gibea. 37 Ndị ahụ zoro n’ọhịa gbapụtara ọsịịsọ gbaba
n’obodo Gibea, kesaa onwe ha, were mma agha gbuchapụ ndị niile nọ n’obodo ahụ.
38 Ndị Izrel na ndị zoro n’ọhịa kwekọtara na ha ga-eme ka anwụrụ ọkụ dị ukwuu
na-ala elu elu site n’obodo ahụ, 39 ma mgbe ahụ, ndị Izrel ga-ebido ịbọ ọbọ ogbugbu
egburu ha.
Ndị Benjamin egbuolarị iri ndị Izrel atọ, n’ihi ya ha sịrị, “Anyị na-emeri ha dịka
anyị mere n’agha mbụ.” 40 Ma mgbe anwụrụ ọkụ malitere ịla elu site n’obodo ahụ,
ndị Benjamin lere anya n’azụ hụ ka anwụrụ ọkụ na-ala elu site n’akụkụ niile nke
obodo ahụ. 41 Mgbe ahụ, ndị Izrel bidoro igbu ha, oke egwu jidere ndị Benjamin
n’ihi na ha ghọtara na ịla n’iyi adakwasịla ha. 42 Ha si n’ihu ndị Izrel gbaa ọsọ, gbaga
n’ụzọ gawara n’ọzara, ma ha enweghị ike ịgbanarị agha ahụ. Ndị Izrel si n’obodo
Gibea gbapụta gburu ha n’ebe ahụ. 43 Ha gbara ndị Benjamin gburugburu n’akụkụ
ọwụwa anyanwụ Gibea, gbuo ọtụtụ n’ime ha n’ebe ahụ. 44 Ndị agha Benjamin e
gburu n’agha ụbọchị ahụ dị puku iri na asatọ. 45 Mgbe ha chigharịrị na-agbala n’ụzọ
ọzara na-aga n’ebe oke nkume Rimọn dị, ndị Izrel gburu puku ndị agha ise n’ime ha
n’ụzọ ahụ. Ha chụgidere ndị Benjamin ọsọ ruo Gidom, gbukwaa puku ndị agha ha
abụọ.
46 Ya mere, ndị Benjamin e gburu n’agha n’ụbọchị ahụ dị iri puku abụọ, na ise. Ndị
a bụ ndị agha mma agha, dike na dimkpa n’agha. 47 Naanị narị ndị agha isii n’ime
ha tụgharịrị gbapụ ọsọ gbalaga n’ọzara, n’ebe nkume Rimọn dị. Ha nọgidere n’ebe
ahụ ọnwa anọ. 48 Mgbe ahụ, ndị agha Izrel hapụrụ ha, laghachi azụ, gaa n’obodo
ndị Benjamin niile gbuo ndị niile nọ n’ime ha, igwe anụ ụlọ, na ihe ndị ọzọ niile dị
n’ime ha. Obodo niile ha ruru, ha kpọrọ ha ọkụ.

# 21

*Ndị nwunye ndị ikom Benjamin*

1 Mgbe ndị ikom Izrel niile zukọtara na Mizpa, ha ṅụrụ iyi sị, “O nweghị onye ọbụla
n’ime anyị ga-ekwe ka nwoke ọbụla si n’ebo Benjamin lụọ ụmụ anyị ndị inyom.”
2 Ndị Izrel niile gara Betel, nọdụ ebe ahụ ruo mgbede n’ihu Chineke. Ha welitere
olu bee akwa dara ụda. 3 “Ha sịrị, ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel, gịnị mere ihe dị otu
a ji dakwasị Izrel? Gịnị mere a ga-eji na-achọ otu ebo Izrel achọ taa?”
4 N’isi ụtụtụ echi ya, ha biliri ngwangwa rụọ ebe ịchụ aja. Ha chụrụ aja nsure ọkụ,
na aja udo n’ebe ahụ.
5 Emesịa, ha jụrịtara onwe ha ajụjụ sị, “O nwere ebo Izrel na-enweghị onye nọchiri
anya ha n’ihu ONYENWE ANYỊ anyị mgbe anyị zukọrọ na Mizpa?” N’ihi na ha ṅụrụ iyi
kwuo na onye ọbụla jụrụ ịbịa n’ihu ONYENWE ANYỊ na Mizpa aghaghị ịnwụ.
6 Ma oke iru ụjụ dị n’ala Izrel dum n’ihi ihe dakwasịrị ụmụnna ha, bụ ndị Benjamin.
Ha niile kwuru sị, “Taa, otu ebo Izrel alaala n’iyi, e kpochapụla ya. 7 Olee otu anyị
ga-esi nwetara ndị fọdụrụ nwunye ha ga-alụ ebe anyị ṅụrụ iyi site n’aha ONYENWE
ANYỊ na anyị agaghị enye ha ụmụ anyị ndị inyom?” 8 Mgbe ahụ, ha jụrụ ajụjụ sị, “O
nwere ebo Izrel na-esoghị anyị zukọta mgbe anyị zukọtara n’ihu ONYENWE ANYỊ na
Mizpa?” Ha chọpụtara na o nweghị onye ọbụla si na Jebesh Gilead bịa. 9 N’ihi na
mgbe ha gụrụ ndị zukọrọ ọnụ, ha chọpụtara na o nweghị ndị si Jebesh Gilead bịa.
10 Ya mere, nzukọ ahụ zipụrụ puku ndị agha iri na abụọ, ndị dị ike n’etiti ha, ka
ha gaa jiri mma agha gbuchapụ mmadụ niile bi na Jebesh Gilead, ndị nwoke, na ndị
nwanyị, na ụmụntakịrị. 11 Nke a bụkwa ihe unu ga-eme, “Gbuonụ ndị ikom niile na
ụmụ nwanyị niile matarala nwoke.” 12 Ọnụọgụgụ ụmụ agbọghọ na-amabeghị nwoke

ha chọtara na Jebesh Gilead dị narị anọ. Ndị agha ahụ kpọtara ha na Shaịlo, n'ime
Kenan, ebe ndị Izrel mara ụlọ ikwu ha.
13 Emesịa, ha zigara ụfọdụ mmadụ ka ha jekwuru ndị agha Benjamin na nkume
Rimọn maka ime udo. 14 Mgbe ndị Benjamin lọghachiri, e dunyere ha narị ndị inyom
anọ, ndị Jebesh Gilead, bụ ndị e mere ka ha dị ndụ. Ma ụmụ agbọghọ ndị a ezughị
ọnụọgụgụ ha niile.
15 Oge ahụ bụ nnọọ oge iru ụjụ dị ukwuu n'ala Izrel maka ọnọdụ ndị Benjamin, n'ihi
na ONYENWE ANYỊ emeela ka ebo ndị Izrel hapụ izu ezu. 16 Ndị okenye Izrel jụrịtara
onwe ha sị, "Gịnị ka anyị ga-eme ịlụtara ụmụnna anyị nwunye ebe ọ bụ na ụmụ
agbọghọ ndị Benjamin anwụchaala? 17 Ndị Benjamin fọdụrụ ndụ aghaghị inweta
ndị ga-anọchi anya ha," bụ ihe ha kwuru, "ka otu n'ime ebo Izrel ghara ịbụ ndị e
kpochapụrụ ekpochapụ. 18 Ma anyị enweghị ike inye ha ndị nwunye site n'ụmụ anyị
ndị inyom, n'ihi na ụmụ Izrel ṅụrụ iyi sị, 'Onye abụrụ ọnụ ka ọ bụ, bụ onye ọbụla
nke nyere onye Benjamin nwunye.' 19 Ma lee, e nwere mmemme ONYENWE ANYỊ a
na-eme afọ niile na Shaịlo, n'akụkụ ugwu Betel, na mpaghara ọwụwa anyanwụ nke
ụzọ ahụ sitere Betel gaa Shekem, na n'akụkụ ndịda Lebona."
20 Ya mere, ha gwara ndị ikom Benjamin, bụ ndị chọrọ nwunye okwu sị ha, "Gaanụ
zoo onwe unu n'ubi vaịnị dị n'agbata ụzọ ahụ, 21 ma na-elepụ anya. Mgbe ụmụ
agbọghọ Shaịlo ga-apụta ite egwu ha, sitenụ n'ubi vaịnị gbapụtanụ jide ha, ka onye
ọbụla n'ime unu jide otu nwaagbọghọ kpụrụ ya laa n'ala Benjamin, ka ha bụrụ
nwunye unu. 22 Ọ bụrụ na nna ha maọbụ ụmụnne ha abịakwute anyị ịjụ ajụjụ
banyere ha, anyị ga-agwa ha okwu sị, 'Biko, gosinụ anyị amara, site n'ịhapụ ha ka ha
lụọ ụmụ agbọghọ ahụ, n'ihi na anyị achọtaghị ụmụ agbọghọ ga-ezuru ha niile mgbe
anyị gburu ndị niile bi na Jebesh Gilead. O nwekwaghị ụzọ ọzọ unu gaara esi nye ha
ụmụ unu ndị nwanyị ghara ịbụ ndị ikpe mara.' "
23 Ya mere, ndị Benjamin mere dịka ndụmọdụ e nyere ha si dị. Onye ọbụla n'ime
ha jidere otu nwaagbọghọ n'ike mgbe ha na-ete egwu n'oge mmemme ahụ ka ọ bụrụ
nwunye ya. Ha lara n'ihe nketa ha, wughachi obodo ha, biri n'ime ya.
24 Mgbe ihe ndị a gasịrị, ụmụ Izrel laghachiri n'obodo ha, n'otu n'otu, onye ọbụla
kwa laghachiri n'ebo ya, n'ikwu ya, n'ihe nketa nke aka ya.
25 N'ụbọchị ndị a, Izrel enweghị eze na-achị ha.* N'ihi nke a, onye ọbụla na-eme
ihe ọbụla ọ chọrọ, na ihe ọbụla dị ya mma n'anya.†

* **21:25** 21:25 Nkp 17:6; 18:1; 19:1 † **21:25** 21:25 Dit 12:8; Nkp 17:6

# Rut

*Rut na Naomi*

[1] N'oge ndị ahụ, mgbe ndị ikpe na-achị, oke ụnwụ dara n'ala Izrel. N'ihi ụnwụ a,
otu nwoke, onye Betlehem, obodo dị na Juda, kwakọọrọ ihe ya niile, duru nwunye
ya, na ụmụ ya ndị ikom abụọ, hapụ obodo ya gaa biri dịka ọbịa n'ala Moab. [2] Aha
nwoke a bụ Elimelek. Aha nwunye ya bụ Naomi, ma aha ụmụ ya ndị ikom abụọ bụ
Mahlọn na Kiliọn. Ha bụ ndị Efrat* si Betlehem nke dị na Juda. Ha bịarutere n'ala
Moab biri n'ebe ahụ.
[3] Ma Elimelek di Naomi nwụrụ, hapụ naanị Naomi, na ụmụ ya ndị ikom abụọ. [4] Ha
lụrụ ndị nwunye site n'etiti ndị inyom Moab. Aha nke mbụ bụ Ọpa, ebe aha nke
abụọ bụ Rut. Ha biri n'ebe ahụ ihe dị ka afọ iri. [5] Mahlọn na Kiliọn mechara nwụọ.
Ya mere, Naomi ghọrọ onye gba aka di, na onye gba aka ụmụ.

*Naomi na Rut alaghachi n'obodo Betlehem*

[6] Mgbe Naomi nọ n'ala Moab nụ na Onyenwe anyị eletala ndị Izrel site n'inye ha
ihe oriri, Naomi na ndị nwunye ụmụ ya abụọ kwadoro ịlaghachi azụ n'ala Izrel. [7] Ya
mere, Naomi na ndị nwunye ụmụ ya abụọ hapụrụ ala Moab ebe ha bi kemgbe, malite
ịgbaso ụzọ ha ga-esi laghachi n'ala Juda.
[8] Mgbe ahụ, Naomi gwara ndị nwunye ụmụ ya abụọ okwu sị ha, "Ngwa, onye ọbụla
n'ime unu laghachi n'ụlọ nne ya.† Ka Onyenwe anyị gosi unu obiọma dịka unu si
gosi mụ onwe m, na ndị unu nwụrụ anwụ. [9] Ka Onyenwe anyị nyekwa unu di ọzọ
ma meekwa ka unu chọta udo n'ezinaụlọ ọzọ."
Mgbe ahụ Naomi suturu ha ọnụ, ha niile kwara akwa. [10] Ma Ọpa na Rut zara Naomi
sị ya, "E, anyị agaghị ala. Anyị ga-esoro gị laghachikwuru ndị gị."
[11] Naomi zara sị ha, "Laghachinụ ụmụ m, ọ bụ n'ihi gịnị ka unu ga-eji soro m laa?
E nwere m ike ịmụta ụmụ ndị ikom ọzọ ndị ga-abụ di unu?‡ [12] Laghachinụ azụ ụmụ
m. Emeela m agadi ịlụ di ọzọ. A sịkwarị na olileanya fọdụụrụ m ịlụ di na ịmụta ụmụ
ndị ikom n'abalị taa, [13] unu ga-echere ruo mgbe ha tolitere? Unu ga-anọ na-alụghị di
ọzọ? Mba, ụmụ m ndị inyom, ọnọdụ m dị ilu karịa nke unu, n'ihi§ na Onyenwe anyị
esepụtala aka ya imegide m."
[14] Ha welitere olu ha kwaa akwa ọzọ. Mgbe ahụ Ọpa suturu nne di ya ọnụ ma Rut
kwusịrị ike n'ebe ọ nọ.
[15] Ma Naomi gwara ya sị, "Lee, nwunye nwanne di gị alaghachikwurula ndị nwe
ya na chi ya niile, soro ya laa."
[16] Ma Rut zara, "Akwagidela m ka m hapụ gị, maọbụ ime ka m site n'iso gị chigharịa.
Aga m esoro gị gaa ebe ọbụla ị na-aga. Aga m esokwa gị biri n'ebe ọbụla ị ga-ebi; ndị
gị ga-abụ ndị m, Chineke gị ga-abụkwa Chineke m, [17] ebe ị nwụrụ ka m ga-anwụ, ebe
ahụ kwa ka a ga-eli m. Ka Onyenwe anyị mesoo m mmeso, otu ọbụla mmeso ahụ
si dị njọ, ma ọ bụrụ na m ekwere ka ihe ọzọ, ma ọ bụghị ọnwụ, kewaa mụ na gị."
[18] Mgbe Naomi hụrụ na Rut ekpebiela n'ime onwe ya iso ya, ọ kwụsịrị ịgwa ya okwu
ọzọ.

---

* **1:2** 1:2 Efrata bụ aha ezinaụlọ ebe Elimelek si pụta. Ọ bụ Elimelek gụrụ mpaghara ala ahụ dị nso Betlehem, Efrata. Mgbe ụfọdụ a na-akpọkwa ya Betlehem Efrata. Rut 4:11; Jen 35:19; 1Sa 17:12; Mai 5:2 † **1:8** 1:8 Omenaala bụ na ndị ada na-alụbeghị di, na ndị ada di ha nwụrụ, na-ebinyere nne ha. Jen 24:28,67 N'akwụkwọ Rut isi abụọ, amaokwu nke iri na otu, e mere ka anyị mata na nna Rut ka dị ndụ. ‡ **1:11** 1:11 Ajụjụ a bụ n'ihi omenaala ndị Juu, nke bụ, na nwanyị ọbụla na-amụtaghị nwa tupu di ya a nwụọ, na nwanne di ya ga-alụrụ ya. Jen 38:6-8; Dit 25:5-10 § **1:13** 1:13 Nkp 2:15; Job 19:12; Abụ 38:2

19 Ya mere, ha abụọ gagidere ije rute Betlehem. Mgbe ha batara Betlehem, obodo
ahụ mere mkpọtụ, n'ihi nlọta ha. Ndị inyom jụrụ sị, "Ọ bụ Naomi bụ nke a n'ezie?"
20 Ma Naomi zara ha sị, "Unu akpọkwala m Naomi, kama kpọọnụ m Mara, n'ihi na
Onye pụrụ ime ihe niile emeela ka ndụ m jupụta n'ihe ilu. 21 Aka m juru eju mgbe
m si n'ebe a pụọ, ma ONYENWE ANYỊ emeela ka m gbara aka lọta. Gịnị mere unu ji
akpọ m Naomi ebe ọ bụ na ONYENWE ANYỊ gbakụtara m azụ, ebe ọ bụ na Onye pụrụ
ime ihe niile mere ka nsogbu dakwasị m."
22 Otu a ka Naomi na Rut onye Moab bụ nwunye nwa ya si laghachi n'ala Juda. Oge
ha ji lọbata n'obodo Betlehem bụ oge a na-amalite ịghọ ọka balị.*

# 2

*Rut ezute Boaz*

1 Ma Naomi nwere otu nwanne di ya, onye bara ụba, bụrụkwa onye a maara nke
ọma, onye si n'agbụrụ Elimelek. Aha nwoke a bụ Boaz.
2 Rut onye Moab, gwara Naomi okwu sị ya, "Kwere ka m gaa n'ubi ebe a na-aghọ
ọka, ka m lee ma m ga-achọta ihuọma n'ihu ndị na-aghọ ọka, ndị ga-ekwere ka m
tụtụkọta ọka* ndị ha hapụrụ."
Naomi zara sị ya, "Ọ dị mma nwa m, gaa." 3 Ya mere, Rut pụrụ gaa na-atụtụ ọka
n'azụ ndị na-ewe ihe ubi. Ma dịka ihe si dị, Rut chọpụtara na ubi ọ na-atụtụ ọka bụ
ubi Boaz, onye si n'agbụrụ Elimelek.
4 N'oge ahụ, Boaz n'onwe ya si na Betlehem bịarute n'ubi ahụ, kelee ndị ahụ na-
aghọ mkpụrụ n'ubi sị ha, "ONYENWE ANYỊ nọnyere unu."
Ha niile zakwara sị ya, "ONYENWE ANYỊ gọzie gị."
5 Mgbe Boaz hụrụ Rut, ọ jụrụ onyeisi ndị ọrụ ubi ya sị, "Onye ka nwanyị a bụ?"
6 Onye nlekọta ọrụ ubi ahụ zaghachiri, "Ọ bụ onye Moab ahụ so Naomi lọta. 7 Ọ sịrị,
'Biko kwere ka m soro ndị ọrụ n'azụ tụtụkọtaa ukwu ọka ha hapụrụ.' Kemgbe ụtụtụ
ọ bịara, ọ kwụsịbeghị ọrụ ya karịakwa naanị nwa mgbe nta o zuru ike n'okpuru
ndo."
8 Ya mere, Boaz gwara Rut okwu sị ya, "Nwa m nwanyị, gee m ntị. Agakwala ịtụtụ
ọka n'ubi ọzọ, esitekwala n'ebe a pụọ. Soro ụmụ agbọghọ na-ejere m ozi nọdụ n'ebe
a. 9 Lezie anya n'ubi ebe ndị ikom na-ewe ihe ubi, ma soro ụmụ agbọghọ ndị a.
Enyela m ndị ikom ndị a iwu ka ha ghara ịmetụ gị aka. Mgbe ọbụla agụụ mmiri gụrụ
gị, gaa n'ite mmiri ndị ahụ ndị ikom gbanyere mmiri kuru mmiri ṅụọ."
10 Mgbe Boaz na-agwa ya okwu, Rut hulatara isi ya ala. Emesịa o kwuru sị, "Gịnị
mere m ji chọta ụdị amara dị otu a n'ebe ị nọ, na ị hụtara m, ebe ị maara na m bụ
naanị onye mba ọzọ?"
11 Boaz zara sị ya, "Anụla m ihe niile i meere nne di gị site n'oge di gị nwụrụ, na otu
i si hapụ nne gị na nna gị, na ala ebe amụrụ gị, bịa n'ebe a ibi n'etiti ndị ị na-amaghị
na mbụ. 12 Ka ONYENWE ANYỊ kwụghachi gị ụgwọ ihe ọma ndị a i mere. Ka ONYENWE
ANYỊ onye bụ Chineke Izrel, onye ị gbabara n'okpuru nku ya izere ndụ kwụghachi gị
nkwụghachi dị ukwu n'ihi ezi ọrụ gị niile."
13 Rut zara sị ya, "Ka m gaa n'ihu na-achọta amara n'ebe ị nọ, onyenwe m. N'ihi
na ị kasịela m obi, gwakwa m, odibo nwanyị gị, okwu dị nro. Ọ bụ ezie na m abụghị
otu n'ime ndị odibo nwanyị gị."
14 Mgbe oge iri nri ruru, Boaz sịrị ya, "Bịa nso n'ebe a, were ụfọdụ nri rie, sunyekwa
achịcha gị n'ime mmanya viniga."†

---

* **1:22** 1:22 N'oge owuwe ihe ubi, ọka balị bụ ihe ubi mbụ a na-eweta, mgbe izu ụka ole na ole gasịrị, ọ bụrụ oge owuwe ihe ubi wiiti. Rut 2:23; 2Sa 21:9 * **2:2** 2:2 Ị tụtụkọta ọka ndị a hapụrụ mgbe a na-ewe ihe ubi, bụ oke ndị inyom di ha nwụrụ anwụ, na ụmụ mgbei na ndị ọbịa. Lev 19:9; Dit 24:19 † **2:14** 2:14 Ọ bụ mmanya gbara ụka a wụnyere mmanụ ntakịrị, ka e ji emepụta mmanya viniga.

Mgbe o soro ndị ahụ na-ewe ihe ubi nọdụ ala iri ihe, o nyere ya ụfọdụ ọka a hụrụ
n'ọkụ. O riri, rijuo afọ ma nri e nyere ya fọdụrụ. 15 Mgbe o biliri ịchịkọtakwa ọka,
Boaz nyere ụmụ okorobịa ya iwu, "Hapụnụ ya ka ọ chịkọta ọka ọ bụladị n'etiti ukwu
ọka ndị guzo eguzo, unu agwala ya okwu ihere ọbụla. 16 Unu sitekwa n'ukwu ọka
mịpụtara ya ụfọdụ tụsara ya n'ala ka ọ tụtụrụ. Unu abarala ya mba."
17 Ya mere, Rut tụtụrụ ọka n'ubi ahụ ruo oge anyasị. Mgbe ọ fuchasịrị ọka balị
niile ọ tụtụtara, o nwetara ihe nwere ike iru otu bushel. 18 O buuru ya baa n'ime
obodo, bunye ya nne di ya, nyekwa ya nri o rifọrọ mgbe o rijuchara afọ.
19 Nne di ya jụrụ ya, "Ebee ka ị tụtụrụ ọka taa? Ebee ka ị rụrụ ọrụ? Ka nwoke ahụ
hụtara gị bụrụ onye a gọziri agọzi."
Rut kọọrọ nne di ya banyere onye ahụ ọ rụrụ ọrụ na nke ya. Ọ sịrị, "Aha nwoke
mụ na ya rụrụ ọrụ bụ Boaz."
20 Mgbe ahụ Naomi zara nwunye nwa ya sị, "Onye ONYENWE ANYị gọziri ka ọ bụ,
onye na-ahapụbeghị igosi ebere ya nye ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Nwoke a bụ
otu n'ime ndị agbụrụ anyị, otu onye n'ime ndị onye mgbapụta anyị."‡
21 Mgbe ahụ Rut, onye Moab sịrị, "Ihe ọ sịkwara m bụ, 'Nọnyere ndị ọrụ m tutu
ruo mgbe ha ghọchara ọka niile dị n'ubi m.' "
22 Naomi sịrị Rut, nwunye nwa ya, "Nwa m nwanyị, ọ kaara gị mma ime dịka o
kwuru. Soro ụmụ agbọghọ nọ n'ubi ya n'azụ tụtụọ ọka ị na-atụtụ, n'ihi na n'ubi
onye ọzọ, e nwere ike imerụ gị ahụ."
23 Ya mere, Rut sogidere ụmụ agbọghọ Boaz na-atụtụ ọka, tutu ruo ọgwụgwụ ịghọ
ọka balị na wiiti. Ya na nne di ya bigidekwara.

# 3

*Rut ejekwuru Boaz*

1 Otu ụbọchị, Naomi, nne di Rut, gwara ya okwu sị, "Nwa m nwanyị, ọ bụ na o
rubeghị mgbe m ga-achọtara gị ụlọ nke aka gị, ebe a ga-anọ lekọtazie gị anya nke
ọma? 2 Ọ bụ na Boaz, onye gị na ụmụ agbọghọ ya so rụọ ọrụ ịchịkọta ọka abụghị
onye agbụrụ anyị? Lee, n'abalị taa ka ọ ga-afụcha ọka balị n'ebe ịzọcha ọka. 3 Ugbu
a, gaa saa ahụ gị, teekwa mmanụ isi ụtọ, yirikwa uwe mara mma. I mesịa, gaa n'ebe
ịzọcha ọka,* ma ekwekwala ka ọ hụ gị, tutu ruo mgbe o risiri nri ṅụọkwa ihe ọṅụṅụ.
4 Leziekwa anya chọpụta ebe ọ ga-edina rahụ ụra. Mgbe ị maara na ọ rahụla ụra nke
ọma, gaa kpughepụ akwa o ji kpuchie ụkwụ ya, dinaakwa ala n'ebe ahụ. Ọ ga-agwa
gị ihe ị ga-eme."
5 Rut zara sị, "Aga m eme ihe ọbụla ị sị m mee." 6 Ya mere, Rut pụrụ n'abalị ahụ
gaa n'ebe ịzọcha ọka ahụ, meekwa dịka nne di ya gwara ya.
7 Mgbe Boaz risiri nri ma ṅụọkwa ihe ọṅụṅụ, mmụọ ya dịkwa mma, ọ gara ka ọ
dinaa ala na nsọtụ ebe atụkọtara akpa ọka. Rut jiri nwayọọ gaa n'ebe ahụ, kpughepụ
akwa o ji kpuchie ụkwụ ya abụọ, dina n'akụkụ ụkwụ ya. 8 N'etiti abalị Boaz kụjara
teta na mberede, tụgharịa, ma lee o nwere nwanyị dina n'ala ala ụkwụ ya.
9 Ọ jụrụ ya sị, "Ị bụ onye?"

‡ **2:20** 2:20 Onye mgbapụta anyị Onye dị otu a, aghaghị ịbụ onye metụtara nwoke ahụ nwụrụ anwụ. O nwere ike bụrụ nwanne ya maọbụ nwanna ya. Ọ bụ ya ka ọ dịrị dịka iwu ahụ si dị, inwetaghachi maọbụ zụghachite ala niile nke onye ahụ nwụrụ anwụ. Iwu ahụ bụ, na onye mgbapụta a dị nso, ga-alụ nwunye nwanne maọbụ nwanna ya ahụ nwụrụ anwụ, ma ọ bụrụ na ọ mụtaghị nwa. Dit 25:5-10 * **3:3** 3:3 Ọ bụ ọrụ ụmụ anụmanụ ịzọcha ọka n'oge ehihie. Ma n'oge uhuruchi, mgbe ikuku n'efe, ndị ọrụ ubi na-eji ihe dịka nkata na-awụli ọka ahụ elu n'ihi ịyọcha ya. Dịka ha na-awụli ya elu, ikuku na-ebufu igbugbo ọka na ahịhịa, ma mkpụrụ ọka na-adịgide n'ime nkata ahụ.

Rut zara ya sị, “Abụ m Rut, ohu gị nwanyị, onyenwe m. Were ọnụ ọnụ akwa gị
kpukwasị m,† n’ihi na ị bụ onye agbụrụ mgbapụta m dị nso.”
10 Boaz zara sị ya, “ONYENWE ANYỊ gọzie gị, nwa m nwanyị. Ịhụnanya i gosiri ugbu
a akarịala nke i gosiri na mbụ, n’ihi na i gbasoghị ụmụ okorobịa, ma ha bụ ọgaranya
maọbụ ogbenye. 11 Ma ugbu a, nwa m nwanyị, atụla ụjọ. Aga m emezuru gị dịka i
si rịọọ, n’ihi na mmadụ niile maara na ị bụ onye nwere ezi agwa. 12 Ọ bụ ezie na m
bụ onye mgbapụta dị nso nke ezinaụlọ anyị, ma o nwere onye ọzọ dị ezi nso karịa
m. 13 Nọdụ n’ebe a n’abalị a. N’ụtụtụ, ọ bụrụ na onye ahụ ekwere imezu ọrụ ya
dịka onye mgbapụta, ya rụzuo ya. Ọ bụrụ na o kwere, ọ dị mma, ọ bụrụkwanụ na
o kweghị, dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, aga m emezu ya. Ugbu a, dinara ala ruo
ụtụtụ.”
14 Ya mere, Rut dinara n’ụkwụ ya ruo ụtụtụ. Ma chi abọzibeghị nke ọma mgbe o
si n’ebe ahụ bilie n’ihi na Boaz sịrị ya, “Ekwela ka onye ọbụla mata na nwanyị bịara
n’ebe ịzọcha ọka.”
15 O gwakwara Rut okwu sị ya, “Chịta akwa mgbokwasị gị, gbasaa ya.” Ya mere Rut
gbasara akwa ya, Boaz manyere ya ọtụtụ ọka balị isii, bokwasị ya Rut, onye buuru
ya banye n’ime obodo.
16 Mgbe Rut bịakwutere nne di ya, Naomi jụrụ ya sị, “Nwa m nwanyị, olee otu ihe
si gaa?”
Rut gwara ya ihe niile Boaz meere ya, sị, 17 “Ọ manyeere m ọtụtụ ọka balị isii ndị
a si m, ‘O kwesighị ka ị gbara aka lakwuru nne di gị.’ ”
18 Naomi zara si ya, “Chere, nwa m nwanyị, ruo mgbe ị ga-ahụ otu okwu a ga-esi
bie. Nwoke a agaghị ezu ike tutu ruo mgbe o kwubiri okwu a taa.”

# 4

*Boaz alụọ Rut*

1 Ya mere, Boaz pụrụ gaa n’ọnụ ụzọ ama obodo ahụ, nọdụ ala n’ebe ahụ. Ọ dịghị
anya onye mgbapụta ahụ dị nso nke Boaz kwuru okwu banyere ya si n’ebe ahụ na-
agafe. Boaz kpọrọ ya sị, “Enyi m bịa nọdụ ala.” Ọ bịara nọdụ ala.
2 Boaz kpọrọ mmadụ iri, ndị bụ ndị okenye obodo ahụ, gwa ha, “Nọdụnụ ala n’ebe
a.” Ha mere otu ahụ. 3 Mgbe ahụ, ọ gwara nwoke onye mgbapụta ahụ dị nso sị,
“Naomi, onye si n’ala ndị Moab lọta, na-achọ ire ala nwanna anyị nwoke Elimelek.
4 Ahụrụ m na o kwesiri ka m buru ụzọ gwa gị ka ị zụọ ya n’ihu ndị a nọ ọdụ n’ebe a,
na n’ihu ndị okenye obodo anyị. Ọ bụrụ na ị ga-agbara ya, gwa m, ọ bụrụkwanụ na ị
gaghị agbara ya, gwa m, ka m mara ihe m ga-eme. N’ihi na ọ bụ gị ka ọ dịrị ịgbapụta
ya. Mụ onwe m na-esote gị.”
Ọ zara sị, “Aga m agbapụta ya.”
5 Mgbe ahụ, Boaz sịrị, “N’ụbọchị ị ga-azụrụ ala ahụ site n’aka Naomi ka ị ga-
enwetakwa Rut onye Moab bụ nwunye onye ahụ nwụrụ anwụ, ime ka aha onye ahụ
nwụrụ anwụ na ihe nketa ya na-adịgide.”
6 Na nke a, onye nchekwa mgbapụta ahụ sịrị, “Apụghị m ịgbapụta ya n’ihi na e
nwere m ike itinye ihe nketa m na nsogbu. Gị onwe gị gbapụta ya. Nke a agaghị
ekwe m omume.”
7 Na mgbe ochie n’ala Izrel,* ime ka mgbapụta ihe na iwefe ihe site n’aka baa n’aka
zuo oke, otu onye ga-eyipụ akpụkpọụkwụ† ya were ya nye onye nke ọzọ. Otu a ka e
si ekpebi okwu gbasara orire na ọzụzụ, na-ime ka ihe ndị ọzọ guzosie ike n’ala Izrel.

† **3:9** 3:9 Mgbe nwoke were akwa, maọbụ ọnụ akwa gbasaa nwanyị n’ahụ, nke a na-egosi na ọ chọrọ ịlụ ya. Izk 16:8 * **4:7** 4:7 Dit 25:7-10 † **4:7** 4:7 Gbaa mba niile dị n’etiti ọwụwa anyanwụ gburugburu, akpụkpọụkwụ bụ ihe na-egosipụta onye nwe ihe. Mgbe mmadụ nyere onye ọzọ akpụkpọụkwụ ya, n’ihi ihe ọbụla, nke a pụtara inye ya ikike i sị, site ugbu a gawa ihe ahụ a bụrụla nke gị. Abụ 60:8; Ems 2:6; 8:6

8 N'ihi ya, mgbe nwoke ahụ gwara Boaz sị ya, "Zụrụ ala ahụ n'onwe gị," o yipụtara
akpụkpọụkwụ ya.
9 Mgbe ahụ, Boaz kwupụtara na ntị ndị okenye ndị ahụ na ndị mmadụ nọ n'ebe
ahụ sị ha, "Unu bụ ndị akaebe na esitela m n'aka Naomi zụrụ ala niile Elimelek, na
Kiliọn na Mahlọn nwere. 10 Azụrụkwala m Rut onye Moab, nwunye Mahlọn ka ọ
bụrụ nwunye m, ime ka aha onye nwụrụ anwụ na ihe nketa ya na-adịgide, ka aha
ha hapụ ifu n'etiti ndị ikwu ya maọbụ site n'obodo ebe amụrụ ya. Taa unu niile bụ
ndị akaebe m."
11 Mgbe ahụ, ndị okenye na ndị niile nọ n'ọnụ ụzọ ama kwuru sị, "Anyị bụ ndị
akaebe. Ka ONYENWE ANYỊ mee nwanyị a na-abata n'ezinaụlọ gị ka ọ dịrị ka Rechel
na Lịa,‡ ndị ebo Izrel niile sitere na ha pụta! Ka ị bụrụkwa ọgaranya n'agbụrụ
Efrata, ghọọkwa onye a ma ama na Betlehem. 12 Site n'ụmụ ONYENWE ANYỊ ga-enye
gị site na nwanyị a, ka ezinaụlọ gị dịrị ka nke Perez§ onye Tama mụụrụ Juda."

### *Nwa nwoke a mụtara Naomi*

13 Boaz kpọọrọ Rut ka ọ bụrụ nwunye ya. Mgbe ya na Rut dinakọrọ, ONYENWE
ANYỊ nyeere ya aka ịtụrụ ime. Ọ mụkwara nwa nwoke. 14 Mgbe ahụ, ndị inyom
obodo ahụ bịakwutere Naomi sị ya, "Onye a gọziri agọzi ka ONYENWE ANYỊ bụ, onye
na-agbawaghị gị aka onye agbụrụ mgbapụta dị nso. Ka aha ya bụrụ ihe ga-ada ụda
n'ala Izrel niile. 15 Ya wetakwara gị ntute na ndụ gị ma bụrụkwa onye ga-azụ gị n'isi
awọ gị. N'ihi na nwunye nwa gị, onye hụrụ gị n'anya, onye baara gị uru karịa ndị
ikom asaa, amụọrala gị nwa nwoke."
16 Naomi kuuru nwantakịrị ahụ, jikụọ ya n'apata ya, lekọtaa ya. 17 Ndị inyom ndị
agbataobi ya sịrị, "Ugbu a, n'ikpeazụ, Naomi enwetala nwa nwoke ọzọ!" Ha gụrụ ya
Obed. Ọ bụkwa onye ahụ bụ nna Jesi, onye bụ nna Devid.

### *Usoro ọmụmụ Devid*

18 Nke a bụ usoro ndị a mụrụ site na Perez.

Perez mụrụ Hezrọn
19 Hezrọn mụrụ Ram
Ram mụrụ Aminadab
20 Aminadab mụrụ Nashọn
Nashọn mụrụ Salmọn
21 Salmọn mụrụ Boaz
Boaz mụrụ Obed
22 Obed mụrụ Jesi
Jesi mụrụ Devid.

---

‡ **4:11** 4:11 Rechel na Lịa bụ ndị mụrụ ebo niile nke Izrel, n'otu aka ahụkwa, agbụrụ Devid na onye nzọpụta ahụ sitere na Rut pụta. Ị ga-agụta nke a n'akwụkwọ Mat 1:5,6,16 § **4:12** 4:12 Perez bụ nna ochie Boaz. Mat 1:3; Luk 3:33

# 1 Samuel

*Ọmụmụ Samuel*

1 O nwere otu nwoke onye Zuf, si na Ramataim, n’ala ugwu ugwu Ifrem. Aha ya
bụ Elkena nwa Jeroham, nwa Elihu, nwa Tohu, nwa Zuf, onye Ifrem. 2 Elkena lụrụ
ndị inyom abụọ, aha nke mbụ bụ Hana, ebe aha nke abụọ bụ Penina. Penina nwere
ụmụ, ma Hana enweghị nwa.
3 Kwa afọ, nwoke a na-esi n’obodo ya gaa Shaịlo ife ofufe na ịchụrụ ONYENWE ANYỊ,
Onye pụrụ ime ihe niile aja. Ọ bụ n’ebe ahụ ka ụmụ ndị ikom abụọ Elayị a na-
akpọ Hofni na Finehaz, bụ ndị nchụaja ONYENWE ANYỊ nọ.[*] 4 N’ụbọchị ọbụla Elkena
na-achụ aja ya, ọ na-ekenye Penina na ụmụ ya ndị ikom na ndị inyom ọtụtụ oke
site n’anụ o ji chụọ aja. 5 Ma ọ na-enye Hana oke mmadụ abụọ, n’ihi na ọ hụrụ ya
n’anya, ọ bụ ezie na ONYENWE ANYỊ mechiri akpanwa ya. 6 Ma Penina na-eme ka obi
jọọ Hana njọ karịa, site n’ikpasu ya iwe, n’ihi na ONYENWE ANYỊ mechiri akpanwa
ya. 7 Ihe ndị a na-eme kwa afọ. Penina na-akwa Hana emo, na-achị ya ọchị oge niile
ha gara n’ụlọ ONYENWE ANYỊ, si otu a na-eme ka ọ na-akwa akwa, gharakwa iri nri.
8 Mgbe Hana bidoro ịkwa akwa otu a, Elkena na-ajụ ya sị, “Hana, ọ bụ gịnị mere i ji
na-akwa akwa? Gịnị mere ị naghị eri nri? Gịnị mere obi ji ajọ gị njọ? Ọ bụ na mụ
adịghị gị mma karịa ụmụ ndị ikom iri nye gị?”
9 Otu ụbọchị mgbe ha risiri nri, ṅụọkwa ihe ọṅụṅụ na Shaịlo, Hana biliri ọtọ. N’oge
a, Elayị onye nchụaja nọdụrụ ala n’oche ya n’akụkụ ọnụ ụzọ ụlọ ONYENWE ANYỊ.
10 N’ọnọdụ obi mwute Hana kwara akwa, kpee ekpere, kpọkuo ONYENWE ANYỊ. 11 O
kwere nkwa sị, “O! ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, ọ bụrụ na ị ga-elekwasị
anya na nhụju anya nke ohu gị nwanyị ma cheta m, ghara ichefu ohu gị nwanyị, ma
nye ya nwa nwoke, mgbe ahụ, aga m enyeghachi ya ONYENWE ANYỊ ogologo ụbọchị
niile nke ndụ ya. Agụba agakwaghị aga n’isi ya mgbe ọbụla.”
12 Mgbe ọ nọgidere na-ekpe ekpere nye ONYENWE ANYỊ, Elayị nọ na-ele ya anya
n’ọnụ. 13 Ka Hana nọ na-ekpe ekpere n’obi ya, naanị egbugbere ọnụ ya na-emegharị
emegharị, ma enweghị onye na-anụ olu ya. Mgbe ahụ, Elayị chere n’obi ya na ọ
bụ nwanyị mmanya na-egbu. 14 Elayị sịrị ya, “Ruo ole mgbe ka ị ga-akwụsị ịṅụbiga
mmanya oke? Si n’ebe mmanya dị wezuga onwe gị!”
15 Ma Hana zara sị ya, “Mba, onyenwe m, aṅụghị m mmanya ọbụla! Kama abụ m
nwanyị obi ya dị ilu nke ukwuu. Anọ m na-ekwupụtara ONYENWE ANYỊ ihe dị m n’obi.
16 Biko agụla ohu gị nwanyị dịka onye ajọ omume. Esi m n’obi mwute na-akwasara
ONYENWE ANYỊ ụwa m.”
17 Elayị zara sị ya, “Laa n’udo, ka Chineke Izrel mezuoro gị dịka arịrịọ gị niile si
dị.”
18 Hana zara sị, “Ka m bụrụ onye si n’aka gị nata ihuọma.” O jiri obi ụtọ laghachi,
malitekwa iri nri ya. Ihu ya agbarụkwaghị ọzọ.
19 N’isi ụtụtụ echi ya, ha biliri kpọọ isiala n’ihu ONYENWE ANYỊ, mgbe ahụ, ha
laghachiri n’ụlọ ha dị na Rema. Mgbe ha laruru, Elkena bakwuru nwunye ya Hana,
ONYENWE ANYỊ chetakwara ya. 20 Mgbe oge ruru, o mere ka Hana tụrụ ime, mụọ nwa
nwoke. Ọ gụrụ ya Samuel, n’ihi na ọ sịrị, “Arịrịọ m ONYENWE ANYỊ maka ya.”

*Hana edoo Samuel nsọ*

[*] **1:3** 1:3 Onye Izrel ọbụla kwesiri ịga n’ihu Onyenwe anyị maka ife ofufe, ugboro atọ kwa afọ. Dit 16:16-17; Ọpụ 23:14-19 Ebe ụlọ nzute na igbe ọgbụgba ndụ ahụ dị, bụ ihe dịka iri kilomita atọ n’ebe ugwu ugwu Jerusalem. 1Sa 3:3; Jos 18:1

21 Mgbe di ya, bụ Elkena na ndị ezinaụlọ ya gara Shaịlo ịchụrụ ONYENWE ANYỊ aja
nke afọ ahụ, na ịchụkwa aja metụtara nkwa dị iche nke o kwere ONYENWE ANYỊ,
22 Hana esoghị ha, ọ gwara di ya, "Mgbe nwantakịrị a kwụsịrị ịṅụ ara,† ka m duru ya
ga chee ya n'ihu ONYENWE ANYỊ, ọ ga-ebikwa n'ebe ahụ ruo mgbe ebighị ebi."
23 Elkena bụ di ya sịrị ya, "Mee ihe ọbụla i chere kwesiri ekwesi. Nọdụ ruo mgbe
ọ hapụrụ ịṅụ ara, ma ka ONYENWE ANYỊ mezuo okwu ya." Hana nọgidere n'ụlọ tutu
ruo mgbe ọ zụlitere nwantakịrị ahụ, kwụsị ya ịṅụ ara.
24 Mgbe ọ kwụsịrị nwantakịrị ahụ ịṅụ ara, nwantakịrị ahụ ka dị ntakịrị. Ma o
duuru ya, jiri oke ehi gbara afọ atọ, na iri lita ụtụ ọka abụọ na abụọ, na otu karama
mmanya, gaa n'ụlọ ONYENWE ANYỊ dị na Shaịlo. 25 Mgbe ha ji oke ehi ahụ chụsịa aja,
ha kpọtaara Elayị nwantakịrị ahụ. 26 Mgbe ahụ, ọ sịrị, "Onyenwe m, dịka ị si na-adị
ndụ, ọ bụ m bụ nwanyị ahụ guzoro onwe ya nso n'ebe ị nọ kpee ekpere nye ONYENWE
ANYỊ. 27 N'ihi nwa a ka m kpere ekpere, ONYENWE ANYỊ emelara m ihe m rịọrọ n'aka
ya. 28 Ma ugbu a, ana m enyeghachi ya ONYENWE ANYỊ ka ọ bụrụ nke ya ndụ ya niile."
O fere ONYENWE ANYỊ ofufe n'ebe ahụ.

# 2

*Ekpere Hana*

1 Mgbe ahụ Hana kpere ekpere sị:
"Obi m na-aṅụrị ọṅụ n'ime ONYENWE ANYỊ;
n'ime ONYENWE ANYỊ ka e buliri mpi* m elu.
Ọnụ m na-anya isi megide ndị iro m,
n'ihi na-enwere m mmasị na nzọpụta gị.

2 "O nweghị onye dị nsọ dịka ONYENWE ANYỊ;
o nweghị onye dị karịa gị,
o nweghị nkume ọzọ yiri Chineke anyị.

3 "Anọgidela na-ekwu okwu site na mpako,
ekwekwala ka ọnụ gị kwupụta okwu nganga.
N'ihi na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke maara ihe niile,
ya bụ onye na-anwale ọrụ niile.

4 "Ụta ndị na-ebu agha agbajiela
ma ndị ahụ dara mba ka e nyere ike.
5 Ndị na-eriju afọ e meela onwe ha ndị ọrụ ngo maka nri,
ma ndị na-adịghị eriju afọ na mbụ aghọọla ndị agụụ adịghị agụkwa.
Nwanyị aga amụtala ụmụ asaa
ma nwanyị ahụ mụrụ ọtụtụ ụmụ adịghị amụtakwa.

6 "ONYENWE ANYỊ na-eweta ọnwụ, ya na-emekwa ka a dị ndụ,
ọ bụ ya na-eme ka mmadụ daa n'ụra ọnwụ, na-emekwa ka ha dị ndụ ọzọ.
7 ONYENWE ANYỊ na-ezite ụbịam na akụnụba;
ọ na-eweda n'ala, ma na-ebulikwa elu.
8 Ọ na-esite na ntụ welite onye ogbenye
na-ebuli ndị mkpa na-akpa site n'ikpo ntụ.
Ọ na-eme ka ha soro ụmụ eze nọdụ,
na-emekwa ka ha keta ocheeze nsọpụrụ.

---

† **1:22** 1:22 N'oge ochie, adịghị anapụ ụmụntakịrị ara ọsịịsọ, kama ọ bụ mgbe ha gbara afọ atọ maọbụ karịa.

* **2:1** 2:1 N'ebe a, mpi na-akọwa maka ike

"N'ihi na ntọala ụwa bụ nke ONYENWE ANYỊ
n'elu ya ka ọ dọkwasịrị ụwa.
9 Ọ ga-echebe ụkwụ ndị nsọ ya
ma ndị ajọ omume ka ọ ga-eme ka ha dere duu n'ime ọchịchịrị.

"Ọ bụghị site n'ịdị ike ka mmeri si abịa.
10 Ndị ahụ na-ebuli onwe ha imegide ONYENWE ANYỊ ka a ga-etipịa.
Onye kachasị ihe niile elu ga-ebigbọ site n'eluigwe megide ha.
ONYENWE ANYỊ ga-ekpe nsọtụ niile nke ụwa ikpe.

"Ọ ga-enye eze ya ike
bulikwaa ịdị ike† nke onye ya e tere mmanụ."
11 Mgbe ahụ, Elkena na Hana laghachiri Rema, ma ha hapụrụ Samuel n'ebe ahụ.
Nwata ahụ ghọrọ onyeozi ONYENWE ANYỊ, n'ihi na ọ nọ na-enyere Elayị onye nchụaja
aka.

### *Ụmụ ọjọọ Elayị*

12 Ụmụ Elayị bụ ndị omume ha jọgburu onwe ya; ha na-eleli ONYENWE ANYỊ anya.
13 Dịka mmeso ndị nchụaja n'ebe ndị mmadụ si dị: mgbe onye ọbụla bịara ịchụ aja,
onyeozi onye nchụaja na-abịa mgbe a na-esi anụ, jiri ndụdụ nwere eze atọ n'aka
ya. 14 Ọ na-adụnye ya n'ime efere anụ maọbụ ite, maọbụ iko e ji esi anụ. Ihe ọbụla
ndụdụ ahụ dụpụtara ka onye nchụaja na-ewere. Otu a ka ha si emeso ndị Izrel niile
na-abịa na Shaịlo. 15 Mgbe ụfọdụ, tupu e suree abụba anụ n'ebe ịchụ aja,‡ ndị ozi
onye nchụaja na-abịa gwa onye wetara anụ ịchụ aja sị ya, "Nye onye nchụaja anụ
ndụ nke ọ ga-ahụ n'ọkụ, n'ihi na ọ chọghị iri anụ e siri esi, kama anụ ndụ ka ọ
chọrọ."
16 Ọ bụrụ na onye ji anụ ahụ bịa ịchụ aja agwa onyeozi ahụ okwu sị, "Chere ka
anyị buru ụzọ suo abụba ndị a ọkụ tupu i were ihe ị chọrọ," onyeozi ahụ na-aza sị,
"Nye m anụ ahụ ugbu a, ọ bụrụ na i nyeghị m ya aga m eji ike were ya."
17 Mmehie ụmụ okorobịa ndị a na-eme dị ukwuu n'anya ONYENWE ANYỊ, n'ihi na
ha na-eleda onyinye a na-ewetara ONYENWE ANYỊ anya.
18 N'oge a, Samuel na-agakwa ozi ya n'ihu ONYENWE ANYỊ. Ọ bụ ezie na ọ bụ naanị
nwantakịrị, ọ na-eyi akwa ọcha efọọd dịka ndị nchụaja. 19 Afọ ọbụla, nne ya na-
akwara ya uwe mwụda, nke ọ na-ewetara ya mgbe ya na di ya bịara ịchụ aja. 20 Tupu
ha alaa, Elayị na-agọzi Elkena na Hana sị, "Ka ONYENWE ANYỊ nye gị ụmụ ọzọ, ndị ga-
anọchi anya onye a ị rịọrọ maka ya, nke i nyeghachiri ONYENWE ANYỊ." 21 ONYENWE
ANYỊ gosiri Hana amara. Ọ tụrụ ime mụta ụmụ ndị ikom atọ, na ụmụ ndị inyom
abụọ. Ma Samuel tokwara n'ije ozi ya n'ihu ONYENWE ANYỊ.
22 N'oge a, Elayị abụrụla nnọọ agadi. Ọ nọkwa na-anụ ihe ọjọọ niile ụmụ ya ndị
ikom na-eme ndị Izrel niile, ya na otu ha si edinakwuru ụmụ nwanyị na-eje ozi n'ọnụ
ụzọ ebe ịchụ aja ụlọ nzute. 23 Ya mere, Elayị gwara ụmụ ya sị, "Anụla m site n'ọnụ
ndị ONYENWE ANYỊ, banyere ihe ọjọọ niile dị iche iche unu na-eme. Gịnị mere unu ji
na-eme ihe ọjọọ dị otu a? 24 Ọ bụghị akụkọ ọma ka m na-anụ site n'ọnụ ndị ONYENWE
ANYỊ banyere unu. 25 Ọ bụrụ na mmadụ emehie megide mmadụ, Chineke nwere ike
gbooro ya ọgụ. Ma ọ bụrụ na mmadụ emehie megide ONYENWE ANYỊ, onye ga-egboro
ya ọgụ?" Ma ụmụ ya ndị ikom egeghị nna ha ntị, n'ihi na ONYENWE ANYỊ na-akwado
ịla ha n'iyi.
26 Nwata ahụ bụ Samuel na-eto, na-agba dimkpa, bụrụkwa onye ihe ya dị ONYENWE
ANYỊ na mmadụ mma.

† **2:10** 2:10 Maọbụ, mpi ‡ **2:15** 2:15 N'iwu e nyere banyere ịchụ aja, abụba na anụ niile abụba kpuchiri ka a na-akpọ ọkụ n'elu ebe ịchụ aja. Lev 3:3-5,16; 4:8-10

*Amụma megide ezinaụlọ Elayị*

27 Otu onye nke Chineke bịara gwa Elayị okwu sị ya, "Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ
kwuru: Ọ bụ na m ezipụtaghị ike m n'ụzọ pụtara ihe mgbe nna nna gị ha bụ ohu
n'ala Ijipt n'okpuru Fero? 28 Ahọpụtara m nna nna unu ochie site n'etiti ebo niile
nke Izrel mee ya ka ọ bụrụ onye nchụaja m, ka ọ chụọ aja n'ebe ịchụ aja m, isure ihe
nsure ọkụ na-esi isi ụtọ, na iyi uwe efọọd ndị nchụaja n'ihu m. Enyere m ezinaụlọ
nna nna gị onyinye niile Izrel ji chụọ aja nsure ọkụ. 29 Gịnị mere unu ji na-elelị aja a
na-achụrụ m, na onyinye a na-ewetara m n'usoro dịka m si nye ya n'iwu anya? Gịnị
mere i ji na-asọpụrụ ụmụ gị karịa m, ime onwe unu ka unu gbaa abụba site n'idebere
onwe unu akụkụ kachasị mma nke onyinye niile ụmụ Izrel, ndị m, na-ewetara m.
30 "N'ihi ya, otu a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel, kwupụtara, sị, 'Ekwere m nkwa
na ndị ezinaụlọ gị na nke nna gị ga-eje ozi n'ihu m ruo mgbe ebighị ebi,' ma ugbu
a, otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya, 'Ọ gaghị adịkwa otu a n'ebe m nọ! N'ihi na
ndị na-asọpụrụ m ka m ga-asọpụrụ, ma ndị niile na-eleda m anya, ka a ga-akpọ ihe
efu. 31 Oge na-abịa mgbe m ga-ebipụ ike gị na ike ezinaụlọ nna gị, wezuga ha ka
nwoke ọbụla n'ezinaụlọ gị hapụ ito ghọọ agadi. 32 Ị ga-ahụ mkpagbu n'ebe obibi m;
a ga-emere Izrel ihe ọma nke ga-eme ka i nwee anya ụfụ, ma ọ dịghị onye ga-eme
agadi n'ezinaụlọ gị. 33 Onye ọbụla n'ime unu nke m na-ebipụghị site n'ebe ịchụ aja
m ga-adị ndụ naanị n'ọnọdụ anya mmiri akwa nke ga-ekpuchi ya anya, na iru ụjụ
nke obi. Ụmụ ụmụ gị niile ga-anwụ tupu ha eruo agadi.
34 " 'Ihe ga-adakwasị ụmụ gị ndị ikom, bụ Hofni na Finehaz, ga-abụrụ gị ihe ama. Ha
abụọ ga-anwụ n'otu ụbọchị. 35 Aga m akpọlite nye onwe m, onye nchụaja kwesiri
ntụkwasị obi, onye ga-eme ihe dị m n'uche na n'obi. Aga m eme ka ezinaụlọ ya
guzosie ike. O ga-eje ozi n'ihu Onye m e tere mmanụ oge niile. 36 Mgbe ahụ, ndị niile
fọdụrụ n'ezinaụlọ gị ga-abịa kpọọ isiala nye ya, rịọọ ya ego na ihe oriri. Ha ga-asị,
"Biko, nyetụ m ọrụ m ga-arụ n'etiti ndị nchụaja, ka m hụ ihe m ga-eri." ' "

# 3

*Onyenwe anyị akpọọ Samuel*

1 Nwata ahụ bụ Samuel nọkwa na-ejere ONYENWE ANYỊ ozi n'ihu Elayị. N'ụbọchị
ndị ahụ okwu ONYENWE ANYỊ dị ụkọ, adịghịkwa ahụ ọtụtụ ọhụ.
2 O ruru n'otu abalị, ka Elayị dinara ala n'ọnọdụ ya ịrahụ ụra, ebe ọ bụ na anya ya
akala nka nke bụ na ọ dịghị ahụzikwa ụzọ nke ọma. 3 Mgbe ahụ, oriọna* Chineke
anyụbeghị, Samuel dinara n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, n'ebe ahụkwa ka igbe ọgbụgba
ndụ Chineke dị. 4 ONYENWE ANYỊ kpọrọ Samuel oku,
Samuel zara sị, "Lee m n'ebe a." 5 O biliri jekwuru Elayị, sị ya, "Lee m abịala m."
Ma Elayị sịrị ya, "Mba, akpọghị m gị, laghachi gaa dinaa ala." Samuel gara dina
ala.
6 Ọzọkwa, ONYENWE ANYỊ kpọrọ ya sị, "Samuel!" Samuel gbaara ọsọ jekwuru Elayị
sị ya, "Lee m, gịnị ka m ga-eme?"
Ma Elayị zara sị ya. "Mba akpọghị m gị oku, nwa m. Laghachi gaa dinaa ala."
7 Ma Samuel amatabeghị onye ONYENWE ANYỊ bụ, ekpughebeghị okwu ONYENWE
ANYỊ nye ya.
8 ONYENWE ANYỊ kpọrọ ya oku nke ugbo atọ; ọzọkwa Samuel biliri jekwuru Elayị sị
ya, "Lee m, gịnị ka ị chọrọ ka m mee?"
Mgbe ahụ, Elayị ghọtara na ọ bụ ONYENWE ANYỊ na-akpọ nwantakịrị ahụ, 9 n'ihi ya
ọ gwara Samuel okwu sị, "Laghachi, dinaa ala. Ọ bụrụ na ọ kpọọ gị ọzọ, sị ya, 'Lee

* **3:3** 3:3 Oriọna dị n'ebe nsọ ahụ kwesiri ị na-enwu ọkụ ehihie na abalị ọbụla. Ọpụ 27:20-21; 30:7-8 Ọ bụ n'isi ụtụtụ tupu chi abọọ ka ihe a mere.

m, kwuo, ONYENWE ANYỊ, n'ihi na ohu gị na-ege ntị.' " Ya mere Samuel laghachiri gaa
dinaa ala.
10 ONYENWE ANYỊ bịara guzo onwe ya n'ebe ahụ, kpọọ ya ọzọ dịka o si kpọọ ya na
mbụ sị, "Samuel! Samuel!"
Samuel zara sị, "Lee m, kwuo, n'ihi na ohu gị na-anụ."
11 ONYENWE ANYỊ gwara Samuel sị, "Lee, ana m aga ime ihe n'Izrel nke ga-eme ka
ntị nụrụ ya zụọ wuruwuru. 12 N'oge ahụ aga m emezu ihe niile m kwuru megide
Elayị na ezinaụlọ ya, site na mmalite ruo ọgwụgwụ. 13 N'ihi na agwara m ya na m
ga-ekpe ezinaụlọ ya ikpe, ruo mgbe ebighị ebi, n'ihi mmehie ahụ ọ maara ihe banyere
ya. N'ihi na ụmụ ya mere onwe ha ndị a na-eleli anya,† ma o meghị ihe ọbụla ịkwụsị
ha. 14 Ya mere, aṅụọla m iyi nye ụlọ Elayị sị, 'Ikpe ọmụma dịkwasịrị ụlọ Elayị bụ nke
a na-agaghị eji onyinye maọbụ ịchụ aja kpuchie.' "
15 Samuel dinara ala tutu ruo ụtụtụ. Mgbe chi bọrọ, o meghere ọnụ ụzọ ụlọ nzute
ONYENWE ANYỊ dịka ọ na-eme. Ma egwu tụrụ ya ịgwa Elayị ọhụ ahụ. 16 Ma Elayị
kpọrọ ya sị, "Samuel, nwa m."
Samuel zara sị, "Lee m n'ebe a."
17 Elayị jụrụ ya sị, "Gịnị ka ọ gwara gị? Ezola ihe ọbụla n'ebe m nọ. Ka Chineke
mesoo gị mmeso, otu ọbụla mmeso ahụ si dị njọ, ma ọ bụrụ na i zoo ihe ọbụla ọ
gwara gị n'ebe m nọ." 18 Ya mere, Samuel gwara ya ihe niile, o zokwaghị ihe ọbụla.
Mgbe ahụ Elayị kwuru okwu sị, "Ya onwe ya bụ ONYENWE ANYỊ, ya meekwa dịka o si
dị ya mma n'anya."
19 ONYENWE ANYỊ nọnyeere Samuel mgbe ọ na-eto, meekwa ka amụma niile Samuel
buru mezuo. 20 Ndị Izrel niile, site na Dan ruo Bịasheba, matara na Samuel bụ onye
amụma ONYENWE ANYỊ kwesiri ntụkwasị obi. 21 ONYENWE ANYỊ gakwara n'ihu na-
egosi onwe ya na Shaịlo. N'ebe ahụ o gosiri onwe ya nye Samuel site n'okwu ya.

# 4

1 Okwu Samuel rutere ndị Izrel niile ntị.

### *Ndị Filistia adọta igbe ọgbụgba ndụ n'agha*

Mgbe Izrel pụrụ izute ndị Filistia n'agha, ha mara ụlọ ikwu ha na Ebeneza, ma ndị
Filistia mara nke ha n'Afek. 2 N'agha a lụrụ n'ụbọchị ahụ, ndị Filistia doro onwe ha
n'usoro izute ndị Izrel, dịka agha na-agbasa, ndị Filistia lụgburu ụmụ Izrel, gbukwaa
puku mmadụ anọ n'ime ha. 3 Mgbe ndị agha Izrel fọdụrụ laghachiri n'ụlọ ikwu ha,
ndị okenye Izrel jụrịtara onwe ha sị, "Gịnị mere ONYENWE ANYỊ ji kwe ka ndị Filistia
merie anyị taa. Ka anyị gaa Shaịlo buputa igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ, ka o
soro anyị jee agha, ka ọ napụta anyị site n'aka ndị iro anyị."
4 Ya mere, ha zigara ndị mmadụ ka ha gaa Shaịlo. Ha sitere n'ebe ahụ bute igbe
ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, onye ahụ na-anọkwasị n'oche
ebere n'etiti cherubim. Ụmụ ndị ikom Elayị abụọ, bụ Hofni na Finehaz, nọnyeere
igbe ọgbụgba ndụ Chineke ahụ.
5 Mgbe e bubatara igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ ahụ n'ebe ndị agha Izrel mara
ụlọ ikwu ha, ndị Izrel tiri mkpu mere ka ala maa jijiji. 6 Mgbe ndị Filistia nụrụ ụda
mkpu a, ha jụrụ sị, "Gịnị na-eme? Ọ bụ gịnị kpatara oke iti mkpu a n'ụlọ ikwu ndị
Hibru?"
Mgbe a gwara ha na ọ bụ n'ihi na igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ erutela, 7 ụjọ
tụrụ ndị Filistia. Ha sịrị, "Chi abatala n'ọmụma ụlọ ikwu ahụ. Ahụhụ dịrị anyị n'ihi
na ihe dị otu a emetụbeghị n'oge gara aga. 8 *Ahụhụ dịrị anyị! Onye ga-anapụta
anyị site n'aka chi ndị a dị ike? N'ihi na ọ bụ chi ndị a ji ihe otiti dị iche iche tie ndị

† 3:13 3:13 1Sa 2:12,17,22 * 4:8 4:8 N'ihi na ndị Filistia e kwenyeghị na Chineke, kama ha kweere na chi arụsị.

Ijipt mgbe ụmụ Izrel nọ n'ọzara. 9 Unu dị ike, unu ndị Filistia, bụrụkwanụ ndị ikom,
ma ọ bụghị otu a, unu ga-aghọ ohu ndị Hibru dịka ha bụụrụ unu ndị ohu. Bụrụnụ
ndị ikom, lụọ agha!"
10 Ndị Filistia lụrụ ọgụ dịka dike, lụgbuo ndị Izrel. Ndị agha ji ụkwụ eje ọgụ
ọnụọgụgụ ha dị iri puku atọ nwụrụ n'otu ụbọchị ahụ. Ma ndị fọdụrụ gbalara n'ụlọ
ikwu ha. 11 Ndị Filistia dọtara igbe ọgbụgba ndụ Chineke n'agha, ma gbukwaa Hofni
na Finehaz ụmụ Elayị.

*Ọnwụ Elayị*

12 Ma otu nwoke onye Benjamin gbapụrụ ọsọ site n'ọgbọ agha ahụ, gbara ruo Shaịlo
n'otu ụbọchị ahụ, o yi uwe dọwara adọwa, aja dịkwa ya n'isi. 13 Mgbe o rutere, Elayị
nọ n'oche ya n'akụkụ ụzọ, na-eche, n'ihi na obi ya na-ama jijiji, n'ihi igbe ọgbụgba
ndụ Chineke. Mgbe nwoke ahụ batara n'ime obodo, kọọ ihe mere, mkpu akwa dara
n'obodo ahụ niile.
14 Elayị nụrụ iti mkpu ahụ jụọ sị, "Gịnị bụ isi ụzụ a?"
Onyeozi ahụ mere ngwangwa bata gwa Elayị okwu. 15 Elayị agbaala iri afọ itoolu
na afọ asatọ n'oge a, nke mere na ọ naghị ahụkwa ụzọ. 16 Nwoke ahụ gwara Elayị sị,
"Esi m n'ihu agha gbalata. Anọ m n'ebe ahụ taa hụ ka agha si gaa."
Elayị jụrụ sị, "Nwa m, ọ bụ gịnị mere?"
17 Onyeozi ahụ zara sị, "Izrel sitere n'ihu ndị Filistia gbaa ọsọ. E tigbukwara ọtụtụ
n'ime ndị agha ha. Ọzọ, ụmụ gị abụọ, Hofni na Finehaz nwụrụ. E burukwara igbe
ọgbụgba ndụ Chineke."
18 Mgbe onyeozi ahụ kwutere maka igbe ọgbụgba ndụ Chineke. Elayị sitere n'oche
ya dalaa azụ n'akụkụ ọnụ ụzọ ama, dajie olu ya, nwụọ! N'ihi na o meela nnọọ agadi.
Ọ bụkwa onye buru ibu. Ya onwe ya kpekwara† ụmụ Izrel ikpe iri afọ anọ.
19 Nwunye nwa ya, bụ nwunye Finehaz, dị ime, nọọkwa nso oge ịmụ nwa ya. Mgbe
ọ nụrụ maka obubu e buuru igbe ọgbụgba ndụ Chineke, nụkwa maka ọnwụ nna di
ya na di ya, ọ mụpụtara nwa ya n'ike. Ma ọ nwụrụ n'ihi ihe mgbu nke afọ ime. 20 Ma
mgbe ọ na-anwụ, ndị inyom na-eji ya ime, sịrị ya, "Atụla egwu, adala mba, ị mụọla
nwa nwoke." Ma ọ zaghị ha ihe ọbụla. Ọ ṅakwaghị ha ntị.
21 Ọ gụrụ nwantakịrị aha, kpọọ ya Ịkabọdụ, kwuo sị, "Ebube esitela n'Izrel pụọ,"
n'ihi obubu e buuru igbe ọgbụgba ndụ Chineke, na n'ihi ọnwụ nna di ya na di ya.
22 O kwuru sị, "Ebube esitela n'Izrel pụọ, n'ihi na e buuru igbe Chineke."

# 5

*Igbe ọgbụgba ndụ n'Ashdọd na Ekrọn*

1 Mgbe ndị Filistia buuru igbe ọgbụgba ndụ Chineke, ha si Ebeneza buru ya buga
Ashdọd. 2 Ha butere igbe ọgbụgba ndụ Chineke, buba ya n'ime ụlọ Dagọn,* dọba ya
n'akụkụ Dagọn. 3 Mgbe ndị Ashdọd tetara n'isi ụtụtụ echi ya, ma lee, Dagọn adaala,
kpuo ihu ya n'ala n'ihu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ. Ha bulikwara Dagọn elu
doghachi ya n'ọnọdụ ya. 4 Ma n'ụtụtụ echi ya, Dagọn adakwala kpuo ihu n'ala n'ihu
igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ. Isi ya na aka ya abụọ dakapụrụ, tọgbọrọ na mbata
ọnụ ụzọ, Ọ bụkwa naanị ogwe ahụ ya fọdụrụ. 5 Ọ bụ nke a mere, site mgbe ahụ ruo
taa, ndị nchụaja Dagọn na ndị niile na-abata n'ụlọ Dagọn, adịghị azọ ụkwụ ha n'ọnụ
ụzọ mbata ụlọ Dagọn dị n'Ashdọd.
6 Aka ONYENWE ANYỊ malitere ịdị arọ n'ahụ ndị Ashdọd, ha na obodo ndị ọzọ gbara
ya gburugburu, o ji etuto dị iche iche menye ha egwu ma bibiekwa ha n'Ashdọd
n'oke ala ya niile. 7 Mgbe ndị Ashdọd hụrụ ihe na-eme, ha sịrị, "Anyị achọghị ka

† **4:18** 4:18 Maọbụ, Duru ụmụ Izrel Gụọ ihe nkọwa banyere ya na Nkp 16:23
* **5:2** 5:2 Dagọn bụ arụsị kachasị arụsị ndị ọzọ nke ndị Filistia na-efe.

igbe ọgbụgba ndụ Chineke nke Izrel dịrị n'etiti anyị, n'ihi na aka ya dị ike n'ahụ
anyị, otu aka ahụkwa na chi anyị Dagọn." 8 Ya mere, ha ziri ozi kpọkọta ndịisi ndị
Filistia niile, jụọ ha sị, "Gịnị ka anyị ga-eme igbe chi ndị Izrel?"
Ha zara, "Ka e buru igbe chi ndị Izrel buga ya n'obodo Gat." Ya mere ha buuru
igbe Chineke nke Izrel buga Gat.
9 Ma mgbe ha bubatara ya na Gat, aka†Onyenwe anyị malitere imegide obodo ahụ.
O tinyere ndị obodo ahụ n'ọnọdụ oke egwu. O tiri ndị bi n'obodo ahụ ihe otiti, ma
nwantakịrị ma dimkpa, etuto dị iche iche toro ha n'ahụ. 10 Ya mere, ha zilara igbe
ahụ Ekrọn.
Ma mgbe igbe ahụ na-abata Ekrọn, ndị Ekrọn kwara akwa sị, "Ha e burula igbe
ọgbụgba ndụ chi ndị Izrel butere anyị, ka anyị na ndị anyị nwụsịa!" 11 Ya mere,
ha kpọkọtara ndịisi ndị Filistia niile sị ha, "Sinụ n'obodo zipụ igbe chi ndị Izrel,
maọbụ zighachinụ ya n'obodo e si bute ya na mbụ, ka ọ hapụ igbuchapụ anyị na
ndị anyị." N'ihi egwu maka ọnwụ ejidela ndị niile bi n'obodo. Aka Chineke dịkwa
ike nke ukwuu megide obodo ahụ. 12 Ndị na-anwụghị ka e mere ka etuto jupụta ha
n'ahụ, mkpu akwa nke ndị obodo ahụ ruru eluigwe.

# 6

*Mbughachi igbe ọgbụgba ndụ*

1 Igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị ahụ nọrọ n'obodo ndị Filistia ọnwa asaa.
2 Emesịa, ndị Filistia kpọrọ ndị nchụaja ha na ndị na-ajụ mmụọ ase jụọ ha sị, "Gịnị
ka anyị ga-eme banyere igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị? Gwa anyị otu anyị ga-esi
zilaga ya n'ala ya."
3 Ndị ahụ zara sị, "Ọ bụrụ na unu ezighachi igbe ọgbụgba ndụ chi ndị Izrel, unu
ezighachila ya n'aka efu, kama jirinụ onyinye aja ikpe ọmụma zilaga ya. Unu mee
nke a, ihe otiti ndị a ga-ala. Unu ga-amatakwa ihe mere o ji na-ata unu ahụhụ ndị a."
4 Ha jụrụ, "Olee ụdị onyinye aja ikpe ọmụma anyị ga-enye."
A gwara ha, "Dịka ọnụọgụgụ ndịisi obodo Filistia si dị ise, unu ga-eziga onyinye*
oyiyi etuto ise nke e jiri ọlaedo kpụọ na oyiyi oke ise nke e jikwa ọlaedo kpụọ, n'ihi
na ọ bụ otu ụdị ihe otiti ahụ ka o ji tie unu na ndịisi obodo unu niile. 5 Jiri ọlaedo
kpụọ oyiyi etuto na oke ndị ahụ na-emebi ala unu, si otu a nye chi ndị Izrel nsọpụrụ.
Ma eleghị anya ọ ga-ewezuga aka ike ya site n'ebe unu na chi unu dị iche iche na ala
unu nọ. 6 Gịnị mere unu ga-eji nyịchie obi unu dịka ndị Ijipt na Fero mere? Mgbe
Chineke mesiri ha ike, ọ bụ na ha ahapụghị ndị Izrel ka ha laa?
7 "Wuonụ ụgbọala ọhụrụ, werekwanụ nne ehi abụọ na-enye ụmụ ara kegide
n'ụgbọ ahụ. Ehi ndị a ga-abụ ndị a na-ejibeghị kọọ ọrụ ubi mbụ. Mgbe unu kegidere
ehi ndị a, chịrịnụ ụmụ ha chụba ha n'ebe a na-edebe ehi. 8 Werenụ igbe ọgbụgba
ndụ Onyenwe anyị tinye n'ụgbọala ahụ, tinyekwa ihe ọlaedo ndị ahụ unu na-enye
ka ọ bụrụ aja ikpe ọmụma unu n'ime igbe nta unu ga-etinye n'akụkụ ya. Zilaganụ ya
n'ụzọ ọ ga-agbaso. 9 Ma guzonụ na-ele ya anya. Ọ bụrụ na ọ gafee oke ala anyị banye
Bet-Shemesh, unu ga-amata na ọ bụ Onyenwe anyị mere ka ihe ọjọọ ndị a dakwasị
anyị. Ma ọ bụrụ na o meghị otu a, ọ bụrụ na ọ lọghachi, anyị ga-amata na ihe otiti
a bụ naanị ihe ndaba nke dakwasịrị anyị, o sikwaghị n'aka Onyenwe anyị."
10 Ha were dịka okwu ndị a si dị. Ha weere nne ehi abụọ na-enye ụmụ ara kegide
ha n'ụgbọala ahụ, werekwa ụmụ ha kpọchie n'ọgba anụ. 11 Igbe ọgbụgba ndụ
Onyenwe anyị na igbe nta ahụ e tinyere oke na oyiyi etuto ọlaedo ndị ahụ a kpụrụ
akpụ ka ha dọkwasịrị n'elu ụgbọala ahụ. 12 Ehi ndị ahụ dọkpụrụ ụgbọ ahụ gawa

---

† **5:9** 5:9 Dit 2:15; 1Sa 5:11; 12:15 * **6:4** 6:4 Onyinye ọlaedo ndị ahụ bụ i ji mee ka obi juru Chineke n'ihi etuto
ndị ahụ o mere ka o too ha. 1Sa 6:5,6,9,12

n'ụzọ Bet-Shemesh. Ha na-ebekwa muuu mgbe ha na-aga. Ha sogidere ụzọ ahụ na-aga. Ha echigharịghị gaa aka nri maọbụ aka ekpe. Ndị eze ndị Filistia sogidekwara ha n'azụ tutu rute n'oke ala Bet-Shemesh.
13 N'oge a, ndị Bet-Shemesh nọ n'ubi na-ewe ihe ubi nke ọka wiiti na ndagwurugwu
ala ahụ. Mgbe ha lepụrụ anya hụ igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ, ọṅụ juru ha obi.
14 Mgbe ụgbọala ahụ batara n'ubi nwoke a na-akpọ Joshua na Bet-Shemesh, ọ kwụsịrị
n'akụkụ otu nkume ukwu dị n'ebe ahụ. Ngwangwa, ndị nọ n'ebe ahụ gbuwasịrị osisi
e ji mee ụgbọ ahụ, gbukwaa ehi abụọ ahụ, were ha chụọrọ ONYENWE ANYỊ aja nsure
ọkụ. 15 Ndị ikom Livayị nọ n'ebe ahụ buliri igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ na igbe
nta ahụ dị n'akụkụ ya nke ọlaedo niile a kpụrụ akpụ dị n'ime ya, dọkwasị ha n'elu
nkume. Ndị Bet-Shemesh† chụrụ ọtụtụ aja nsure ọkụ na aja ndị ọzọ nye ONYENWE
ANYỊ n'ụbọchị ahụ. 16 Mgbe ndị eze ise obodo ndị Filistia hụrụ ihe mere, ha laghachiri
n'Ekrọn n'ụbọchị ahụ.
17 Onyinye etuto ọlaedo ise a kpụrụ akpụ nke ha nyere ONYENWE ANYỊ dị ka aja ikpe
ọmụma n'ihi ihe mere ha bụ maka obodo ndị Filistia ndị a, Ashdọd, Gaza, Ashkelọn,
Gat na Ekrọn. 18 Ha wetakwara oke ọlaedo a dịka ọnụọgụgụ obodo ndị Filistia si dị,
bụ nke ndịisi ise ahụ nwere, obodo ndị e wusiri ike, na obodo nta niile ha. Nkume ukwu ahụ ebe a dọkwasịrị igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ, bụ ihe akaebe n'ubi Joshua, onye Bet-Shemesh ruo taa.
19 Ma ONYENWE ANYỊ tigburu iri ndị ikom asaa n'etiti ndị Bet-Shemesh n'ihi na ha
nyobara anya n'ime igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ ahụ. N'ihi ya ndị Bet-Shemesh
ruru ụjụ n'ihi ndị ahụ niile ONYENWE ANYỊ tigburu. 20 Ndị Bet-Shemesh jụrụ sị, "Onye
pụrụ iguzo n'ihu ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke a dị nsọ? Olee ebe anyị ga-ezigakwa igbe ọgbụgba ndụ a?"
21 Ha zipụrụ ndị ozi ka ha gaa gwa ndị Kiriat Jearim sị ha, "Ndị Filistia ezighachila igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ. Bịanụ buru ya gaa n'obodo unu."

# 7

1 Ya mere, ndị ikom Kiriat Jearim bịara buru igbe ọgbụgba ndụ*ONYENWE ANYỊ bubata ya n'ụlọ Abinadab nke dị n'elu ugwu. Ha doro Elieza, ọkpara Abinadab nsọ, ka ọ bụrụ onye na-elekọta igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ.

### *Mmeri Samuel meriri ndị Filistia na Mizpa*

2 Igbe ahụ dịgidere na Kiriat Jearim ogologo oge, iri afọ abụọ zuruoke. Ma n'oge a
niile, ndị Izrel nọ na-eru ụjụ n'ihi ONYENWE ANYỊ.† 3 Ya mere, Samuel gwara ezinaụlọ
Izrel niile sị, "Ọ bụrụ na unu ji obi unu niile na alaghachikwute ONYENWE ANYỊ, mgbe ahụ, wezuganụ chi niile nke ndị ala ọzọ, na arụsị Ashtọret site n'etiti unu. Kpebienụ n'obi unu ịbịakwute ONYENWE ANYỊ, feekwa naanị ya ofufe. Ọ ga-anapụtakwa unu
site n'aka ndị Filistia." 4 Ya mere, ndị Izrel wezugara arụsị Baal na Ashtọret ha, bido
ife naanị ONYENWE ANYỊ.
5 Samuel gwara ha sị, "Unu ndị Izrel, zukọtaanụ na Mizpa, ka m rịọọ ONYENWE ANYỊ
arịrịọ n'isi unu." 6 Mgbe ha niile zukọrọ n'ebe ahụ, ha kuuru mmiri wụpụ ya n'ala n'ihu ONYENWE ANYỊ. N'ụbọchị ahụ kwa, ha buru ọnụ, kwupụta mmehie sị, "Anyị emehiela megide ONYENWE ANYỊ." Ọ bụ na Mizpa ka Samuel malitere ikpe ụmụ Izrel ikpe.
7 Mgbe ndị Filistia nụrụ na ụmụ Izrel zukọrọ na Mizpa, ndị eze ndị Filistia chịkọtara ndị agha ha, bịa ibuso Izrel agha. Mgbe ụmụ Izrel nụrụ na ha na-abịa nso, ha tụrụ

† **6:15** 6:15 Bet-Shemesh bụ otu n'ime obodo ndị Livayị ketara. Jos 21:16 Ọ bụ naanị ndị Livayị na-ebu igbe ọgbụgba ndụ Chineke. Dit 10:18 * **7:1** 7:1 Igbe ọgbụgba ndụ ahụ dịgidere n'ebe a, ruo oge Devid bịara bulata ya na Jerusalem. 1Sa 6:21; Abụ 132:6; 2Sa 6:2-3 † **7:2** 7:2 Eleghị anya n'ihi na ONYENWE ANYỊ chepuru ihu ya site n'ebe ha nọ.

ụjọ nke ukwuu. 8 Ha sịrị Samuel, "Akwụsịla itiku ONYENWE ANYỊ Chineke anyị mkpu
akwa n'ihi anyị, kpeekwa ekpere ka ọ zọpụta anyị site n'aka ndị Filistia." 9 Mgbe
ahụ, Samuel weere nwa atụrụ na-aṅụ ara jiri ya chụọrọ ONYENWE ANYỊ aja nsure
ọkụ, rịọkwa ONYENWE ANYỊ ka o nyere Izrel aka. ONYENWE ANYỊ zara ekpere ya.
10 N'oge ahụ, mgbe Samuel nọ na-esure aja nsure ọkụ ahụ, ndị Filistia bịaruru nso
ibuso Izrel agha, ma ONYENWE ANYỊ sitere n'eluigwe were oke olu egbe eluigwe nke
dara oke ụda chụsasịa ha. O mere ka ọgbaaghara bata n'etiti ndị Filistia. Nke a
mekwara ka ụmụ Izrel kpochapụ ha, 11 Ndị ikom Izrel si na Mizpa pụta chụso ndị
Filistia ọsọ, na-etigbu ha n'ụzọ ruo na ndịda Bet-Ka.
12 Mgbe ahụ, Samuel weere otu nkume doo ya n'agbata Mizpa na Shen, kpọọ ebe
ahụ, Ebeneza, nke pụtara, "Nkume inyeaka," n'ihi na ọ sịrị, "N'ezie, ONYENWE ANYỊ
enyerela anyị aka ruo ugbu a."
13 Ya mere, mmeri a e meriri ndị Filistia mere ka ha ghara ibuso Izrel agha ọzọ, n'ihi
na ONYENWE ANYỊ kwụsịrị ha ime nke a ụbọchị niile nke ndụ Samuel. 14 E nyeghachiri
ndị Izrel obodo niile ndị Filistia dọtara n'agha na mbụ, nke dị site n'Ekrọn ruo Gat.
Ndị Izrel napụtara oke ala ndị a site n'aka ndị Filistia. N'ụzọ dị otu a, e mere ka udo
dị n'etiti ndị Izrel na ndị Amọrait.‡
15 Samuel nọgidere dịka onye ikpe ndị Izrel ụbọchị niile nke ndụ ya. 16 Afọ niile, ọ
na-ejegharị site n'otu obodo ruo n'obodo ọzọ, site n'obodo Betel ruo Gilgal, ruokwa
Mizpa.§ Ọ na-anọkwa n'obodo ndị a na-ekpe ndị Izrel ikpe. 17 Ma ọ na-alọghachi na
Rema, n'ihi na ọ bụ n'ebe ahụ ka ụlọ ya dị. O kpekwara ndị Izrel ikpe n'ebe ahụ,
wuokwara ONYENWE ANYỊ ebe ịchụ aja n'ebe ahụ.

# 8

*Izrel arịọọ ka e nye ha eze*

1 Mgbe Samuel ghọrọ agadi, o mere ụmụ ya ndị ikom ka ha bụrụ ndị ikpe ndị Izrel.
2 Juel, ọkpara ya, na Abija, nke na-eso ya ka ọ họpụtara. Ha nọkwa na Bịasheba
na-ekpe ndị Izrel ikpe. 3 Ma ụmụ ya esoghị ụzọ ya.* Ha na-agbaso naanị ihe ga-abara
ha.† Ha na-erikwa ngarị, na-ekpe ikpe na-ezighị ezi.‡
4 N'ihi ya, ndị okenye ụmụ Izrel niile zukọtara, bịakwute Samuel na Rema sị ya,
5 "I meela agadi, ụmụ gị ndị ikom adịghịkwa eso ụzọ gị. Ugbu a họpụtara anyị onye
ga-abụ eze anyị, onye ga na-edu anyị, dịka mba ndị ọzọ."
6 Ma obi adịghị Samuel ụtọ mgbe ha rịọrọ sị, "Nye anyị eze ga-edu anyị." N'ihi ya,
Samuel kpọkuru ONYENWE ANYỊ n'ekpere. 7 ONYENWE ANYỊ gwara ya, "Gee ntị n'ihe
niile ndị a na-agwa gị; ọ bụghị gị ka ha jụrụ, kama ọ bụ mụ onwe m ka ha jụrụ ibu
eze ha. 8 Site n'ụbọchị m mere ka ha si n'Ijipt pụta ruo taa, ha na-agbakụta m azụ,
na-efe chi ndị ọzọ. Ọ bụkwa otu a ka ha na-eme gị ugbu a. 9 Mee dịka ha rịọrọ, ma
echefula ịgwa ha ụdị omume eze ahụ ga-achị ha ga-emeso ha."
10 Samuel gwara ndị Izrel na-arịọ ka e nye ha eze ihe ONYENWE ANYỊ kwuru. 11 Ọ
zara sị ha, "Ihe ndị a bụ ụdị mmeso eze ahụ ga-achị unu ga-emeso unu: Ọ ga-eduru
ụmụ unu ndị ikom mee ha ndị na-agba ọsọ n'ihu ụgbọ agha ya na ịnyịnya ya. 12 Ụfọdụ
ka ọ ga-eme ọchịagha, ndị ga-elekọta ọtụtụ puku ndị agha, maọbụ iri ndị agha ise;
ndị ụfọdụ ga-abụ ndị ga-akọ ubi ya, ndị ọzọ ga-ewebatakwa ihe owuwe ubi ya, ma
ndị ọzọ ga-akpụrụ ya ngwa agha na ihe niile e ji anya ụgbọ agha ya. 13 Ọ ga-eduru
ụmụ unu ndị inyom mee ka ha bụrụ ndị na-esiri ya mmanụ otite na-esi isi ụtọ, na
ndị na-esiri ya nri, na ndị na-eghere ya ihe oghịghe. 14 Ọ ga-anarakwa unu ubi unu,

‡ **7:14** 7:14 Ndị Amọrị bụ aha ọzọ eji mara ndị niile bụ ndị Kenan. Jen 14:5-7 § **7:16** 7:16 Betel, Gilgal na Mizpa bụ obodo atọ ndị so n'oke ala Benjamin ketara. Ọ bụkwa na mpaghara ala ndị a, ka ụlọnsọ Chineke dị. Jos 18:11-28; Jos 4:19 * **8:3** 8:3 1Sa 12:3; Jer 22:15-17 † **8:3** 8:3 Ọpụ 18:21 ‡ **8:3** 8:3 Ọpụ 23:6-8; Dit 16:19

na ubi vaịnị unu, na ubi oliv unu ndị kachasị mma, were ha nye ndị na-ejere ya ozi.
15 Ọ ga-ewere otu ụzọ n'ime ụzọ iri nke mkpụrụ ubi unu na ubi vaịnị unu nye ndịisi
ọrụ ya na ndị na-ejere ya ozi. 16 Ọ ga-akwagidekwa unu ka unu nye ya ndị ohu unu,
ndị ikom n'ime ha, na ndị inyom n'ime ha, ya na anụ ụlọ unu ahụ dị ezi mma, na
ịnyịnya ibu unu. 17 Ọ ga-ewerekwa otu ụzọ n'ụzọ iri nke igwe anụ ụlọ unu, meekwa
ka unu onwe unu bụrụkwa ndị ohu ya. 18 Mgbe ụbọchị ndị ahụ bịara, mgbe ihe ndị
a bidoro imezu, unu ga-akwa akwa, rịọọ ka e wezugara unu eze ahụ unu họpụtaara
onwe unu, ma ONYENWE ANYỊ agaghị aṅa unu ntị n'ụbọchị ahụ."

19 Ma ndị Izrel jụrụ ige Samuel ntị. Ha sịrị, "Anyị chọrọ eze ga-achị anyị. 20 Mgbe
ahụ, anyị onwe anyị ga-adị ka ndị mba niile ọzọ, anyị ga-enwe eze ga na-edu anyị,
na-aga n'ihu anyị na-ebukwa agha anyị."

21 Samuel gwara ONYENWE ANYỊ ihe niile ha kwuru. 22 Ma ONYENWE ANYỊ zara ya
ọzọ sị, "Mee ihe ha kwuru, nye ha eze."

Mgbe ahụ, Samuel gwara ndị ikom Izrel okwu sị ha, "Laanụ, nwoke ọbụla n'obodo ya."

# 9

*Samuel etee Sọl mmanụ ịbụ eze*

1 E nwere otu nwoke si Benjamin aha ya bụ Kish nwa Abiel, nwa Zeroa, nwa
Bekorat, nwa Afia, onye Benjamin, burukwa oke mmadụ a maa ama. 2 O nwere
nwa nwoke aha ya bụ Sọl, onye bụ okorobịa nọ n'uju ya. O nweghị nwoke ọzọ e ji
atụnyere ya n'Izrel niile. O toro ogologo karịa onye ọbụla site n'ubu ruo n'isi.

3 Otu ụbọchị, ụfọdụ n'ime ịnyịnya ibu Kish nna Sọl nwere kpafuru. N'ihi ya, Kish
kpọrọ Sọl gwa ya okwu sị, "Duru otu odibo ka gị na ya soro ga chọgharịa ịnyịnya ibu
ndị a." 4 Ha chọrọ ịnyịnya ndị ahụ gaa n'ala ugwu ugwu Ifrem, na n'akụkụ Shalisha,
ma ha ahụghị ha. Ha chọkwara ha gaa n'akụkụ Shaalim, ma ha ahụghị ha n'ebe
ahụ. Emesịa, ha chọrọ ịnyịnya ibu ndị ahụ gaa n'ala niile nke ndị Benjamin, ma ha
ahụghị ha ebe ọbụla.

5 N'ikpeazụ, mgbe ha chọọrọ ha rute n'ala Zuf, Sọl gwara onyeozi ahụ ya na ya so,
sị, "Ka anyị laghachi, n'ihi na ọ bụrụ na nna m elee anya anyị ma ọ hụghị anyị, ọ
ga-amalite iche echiche banyere anyị karịa ịnyịnya ibu ndị a."

6 Ma odibo ahụ zara ya sị, "Lee, e nwere otu onye nke Chineke bi n'obodo a; ọ
bụkwa onye mmadụ niile na-asọpụrụ n'ihi na ihe ọbụla o kwuru na-emezu. Ka anyị
gaa hụ ya, ma eleghị anya ọ ga-agwa anyị ụzọ anyị ga-esi."

7 Sọl sịrị odibo ya, "Ọ bụrụ na anyị agaa, gịnị ka anyị ga-enye nwoke ahụ? Nri
dị na-akpa anyị agwụla, ọ dịkwaghị onyinye anyị nwere nke anyị ga-enye onye nke
Chineke. Gịnị ka anyị nwere?"

8 Onyeozi ahụ zara ya ọzọ sị, "Lee, enwere m otu mkpụrụ shekel ọlaọcha. Aga m
enye ya onye Chineke a ka ọ gwa anyị ụzọ anyị ga-esi." 9 (Na mgbe gara aga n'Izrel, ọ
bụrụ na mmadụ agaa iju Chineke ase, ọ na-asị, "Bịa ka anyị jekwuru onye ọhụ ụzọ,"
n'ihi na onye a na-akpọ onye amụma taa, ka a na-akpọ onye ọhụ ụzọ n'oge ahụ).

10 Sọl sịrị odibo ya, "Ọ dị mma, Bịa ka anyị gaa." Ha biliri gawa n'obodo ebe onye
Chineke ahụ nọ.

11 Mgbe ha na-arịgo ugwu ịbanye obodo ahụ, ha zutere ụfọdụ ụmụ agbọghọ ka ha
na-apụta iseta mmiri, jụọ ha ajụjụ sị, "Onye ọhụ ụzọ ahụ ọ nọ n'ebe a?"

12 Ụmụ agbọghọ ahụ zara ha sị, "E, ọ nọ ya. Lee ya ka ọ na-aga n'ihu unu. Unu
jesie ike unu ga-ahụ ya. Ugbu a ka ọ batara obodo anyị, n'ihi na ọ na-aga iso ndị
mmadụ gaa ịchụ aja n'ebe dị elu. 13 Ngwangwa unu banye n'obodo, unu ga-ahụ ya
tupu o gaa n'ebe dị elu iri ihe. N'ihi na ndị mmadụ agaghị ebido iri ihe tutu ruo

mgbe o rutere, n’ihi na ọ ghaghị ịgọzi ihe aja ahụ tupu ndị a kpọrọ oku ebido iri ihe.*
Gbagoonụ unu ga-ahụ ya n’oge dịka nke a.”
14 Ya mere, ha mere ngwangwa, baa n’ime obodo ahụ. Dịka ha na-abata n’ime
obodo, lee Samuel ka ọ na-abịakwute ha; ọ na-aga n’ebe ahụ dị elu.
15 Ma n’ụbọchị bọrọ tupu ụbọchị Sọl na-abịa, Onyenwe anyị kpughere nke a nye
Samuel. 16 “Dịka mgbe a echi, aga m ezitere gị otu nwoke sị n’ala Benjamin. Ị ga-ete
ya mmanụ nke ga-eme ya ka ọ bụrụ onyendu Izrel ndị m. Ọ ga-azọpụta ha site n’aka
ndị Filistia, n’ihi na ahụla m ahụhụ nke ha nọ n’ime ya; anụkwala m ịkwa akwa ha.”
17 Mgbe Samuel hụrụ Sọl, Onyenwe anyị gwara ya sị, “Lee nwoke ahụ m gwara gị
ihe banyere ya! Ọ bụ ya ga-achị ndị m.”
18 Ma Sọl bịaruru Samuel nso jụọ ya sị, “Biko, zi m ebe ụlọ onye ọhụ ụzọ dị.”
19 Samuel zara sị ya, “Mụ onwe m bụ ọhụ ụzọ ahụ. Gaanụ n’ihu m rigoruo n’ebe
dị elu, n’ihi na mụ na unu ga-eso rikọọ nri taa. N’ụtụtụ echi aga m agwa gị ihe dị gị
n’obi. Aga m ezilagakwa gị. 20 Enyela obi gị nsogbu maka ịnyịnya ibu ndị ahụ furu
efu n’abalị atọ gara aga, n’ihi na a chọtala ha. Ma, onye ka mmadụ ahụ bụ, onye ndị
Izrel niile na-achọsi ike? Ọ bụghị gị na ezinaụlọ nna gị.”
21 Ma Sọl zara sị, “Ọ bụghị onye Benjamin ka m bụ, onye sitere n’ebo kachasị nta
n’Izrel; ọ bụghị agbụrụ m dịkarịsịrị nta n’etiti agbụrụ niile ọzọ dị n’ebo Benjamin?
Gịnị mere i ji agwa m ụdị okwu dị otu a?”
22 Mgbe ahụ, Samuel duuru Sọl na onyeozi ya kpọbata ha n’ime ụlọ ukwu, nye ha
ọnọdụ n’isi oche n’etiti iri mmadụ atọ ọ kpọrọ oriri. 23 Samuel gwara onyeisi ndị
na-esi nri okwu sị, “Weta anụ ahụ m nyere gị, nke ahụ m sị gị ka ị debe iche.”
24 Onye na-esi nri weere ụkwụ anụ ahụ na ihe ndị so ya debe ya n’ihu Sọl. Samuel
sịrị, “Lee, ihe ndị e wepụrụ ka e debere gị. Rie, n’ihi na e debere gị ya maka oge
akara aka, site n’oge ahụ m kwuru si, ‘Akpọrọ m ndị mmadụ oku nri.’ ” Sọl sooro
Samuel rie nri n’ụbọchị ahụ.
25 Mgbe ha sitere n’ebe ahụ dị elu rịdata n’obodo. Samuel kpanyere Sọl ụka n’elu
ụlọ ya. 26 N’isi ụtụtụ mgbe ha biliri, Samuel kpọrọ Sọl n’ụlọ elu sị, “Jikere, ka m zilaga
gị.” Mgbe Sọl kwadoro, ya na Samuel sooro pụọ n’ezi. 27 Ka ha na-arịda na-abịaru
nsọtụ obodo ahụ, Samuel sịrị Sọl, “Gwa onyeozi ahụ ka ọ gafee n’ihu anyị.” Onyeozi
ahụ mekwara otu a, ma, “Gị onwe gị chere ntakịrị oge n’ebe a ka m mee ka ị nụrụ
ozi sitere n’aka Chineke.”

# 10

1 Mgbe ahụ, Samuel weere karama mmanụ wụkwasị ya n’isi, sutukwa ya ọnụ
n’agba sị ya, “Ọ bụ na Onyenwe anyị etebeghị gị mmanụ ime gị onyendu ihe nketa
ya? 2 Mgbe ị ga-ahapụ m n’ebe a, ị ga-ahụ ndị ikom abụọ n’akụkụ ili Rechel na Zelza,
n’ala Benjamin, ha ga-agwa gị, ‘A chọtala ịnyịnya ibu ndị ahụ furu efu, ugbu a, nna
gị akwụsịla iche ihe gbasara ịnyịnya ibu ya, ma ọ nọkwa na-echegbu onwe ya n’ihi
gị, ọ na-ajụ, “Olee ihe m ga-eme banyere ọkpara m?” ’
3 “Mgbe i ruru n’osisi ukwu Taboa, ị ga-ezute ndị ikom atọ ndị na-aga ife Chineke
ofufe na Betel. Otu n’ime ha ga-ebu ụmụ ewu atọ, nke ọzọ ga-eji ogbe achịcha atọ,
ma nke atọ ga-eji otu karama mmanya. 4 Ha ga-ajụ gị banyere ọdịmma gị, nyekwa gị
ogbe achịcha abụọ, nke ị ga-anara site n’aka ha.
5 “Emesịa, ị ga-aga Gibea nke Chineke, ebe ndị agha ndị Filistia mara ụlọ ikwu nche.
Mgbe ị na-abata obodo ahụ, ị ga-ezute ndị amụma, ndị si n’ebe dị elu ahụ na-arịdata.
Ha ga na-akpọ une, na egwu otiti, na ọja, na ụbọ akwara. Ha ga na-ebukwa amụma.
6 N’oge ahụ, mmụọ Onyenwe anyị ga-abịakwasị gị, ị ga-esorokwa ha buo amụma.

* **9:13** 9:13 Ọtụtụ oge, iri nri na ịbụ abụ bụ otu n’ime ihe a na-eme ma a chụsịa aja ụfọdụ.

Ị ga-abụkwa onye a gbanwere, onye dị iche. [7] Mgbe ihe ịrịbama ndị a mezuru ị ga
na-eme ihe ọbụla i chepụtara n'obi gị, n'ihi na Chineke nọnyeere gị.

[8] "Ị ga-aga Gilgal* chere m n'ebe ahụ abalị asaa, n'ihi na ana m abịa ịchụ aja nsure
ọkụ na aja udo. Aga m agwa gị ihe ị ga-eme mgbe m bịara."

### *Sọl ebuo amụma*

[9] Mgbe ọ na-atụgharị ka ọ si ebe Samuel nọ pụọ, Chineke gbanwere ya, nye ya obi
ọhụrụ, ihe ịrịbama ndị ahụ mezukwara n'ụbọchị ahụ. [10] Mgbe ya na onye na-ejere
ya ozi rutere Gibea, ndị amụma nọ n'ahịrị zutere ha. Mmụọ nke Chineke bịakwasịrị
ya n'ebe ọ dị ukwu, o sooro ha malite ibu amụma. [11] Mgbe ndị niile maara Sọl hụrụ
ya ka o so ndị a na-ebu amụma, ha jụrụ onwe ha ajụjụ sị, "Gịnị mere nwa Kish? Sọl,
ọ ghọọla otu n'ime ndị amụma?"

[12] Otu n'ime ndị bi n'ebe ahụ jụrụ sị, "Onye ka nna ha bụ?" Nke a bụ mmalite
okwu ahụ a na-ekwu sị, "Sọl ọ ghọọla otu n'ime ndị amụma?" [13] Mgbe Sọl buchara
amụma, ọ rigooro gaa n'ebe ịchụ aja ahụ dị n'elu ugwu.

[14] Mgbe nwanne nna ya hụrụ Sọl, ọ jụrụ ya ajụjụ sị, "Olee ebe ị gara?"

Sọl zara ya sị, "Anyị gara ịchọ ịnyịnya ibu ndị ahụ furu efu, ma anyị achọtaghị ha,
n'ihi ya anyị gara n'ebe onye amụma a na-akpọ Samuel ịjụta ase ebe ha nọ."

[15] Ma nwanne nna Sọl sịrị, "Gwa m ihe Samuel gwara gị."

[16] Sọl zara ya sị, "Ọ gwara anyị na a chọtala ịnyịnya ibu ndị ahụ." Ma okwu gbasara
alaeze, dịka Samuel siri kwuo ya, ọ gwaghị ya ihe ọbụla.

[17] Emesịa, Samuel kpọrọ nzukọ ndị Izrel niile na Mizpa,† ka ha bịa zute ONYENWE
ANYỊ. [18] Ọ gwara ha sị, "Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel kwuru, 'Mụ onwe m
si n'ala Ijipt kpọpụta Izrel ma napụtakwa unu site n'aka ike ndị Ijipt, na site n'aka
alaeze niile bụ ndị kpagburu unu.' [19] Ma ugbu a, unu ajụla Chineke unu onye na-
azọpụta unu site n'ihe ndakwasị na nhụju anya unu niile. Unu kwukwara sị, 'Mba,
nye anyị eze ga-achị anyị.' Ugbu a, doonụ onwe unu n'usoro n'ihu ONYENWE ANYỊ
dịka ebo unu na ikwu unu niile si dị."

[20] Samuel mere ka ebo Izrel niile bịaruo nso n'ebo n'ebo, nza‡ mara ebo Benjamin.
[21] O mere ka ebo Benjamin bịaruo nso n'agbụrụ n'agbụrụ, nza mara agbụrụ Matri.
N'ikpeazụ nza ahụ mara Sọl, nwa Kish. Ha chọgharịrị ya ma ha ahụghị ya. [22] Ha
jụrụ ONYENWE ANYỊ ase ọzọ, "Nwoke ahụ ọ bịala n'ebe a?"

ONYENWE ANYỊ sịrị, "E, Lee, o zoro onwe ya n'etiti akpa ndị ahụ."

[23] Ha gbaara gaa n'ebe ahụ kpọpụta ya. Mgbe ọ pụtara guzoro n'etiti ha, ha hụrụ
na o toro ogologo karịa onye ọbụla site n'ubu ruo n'isi. [24] Samuel gwara ndị ahụ niile
okwu sị, "Onye a bụ nwoke ahụ ONYENWE ANYỊ họpụtara ka ọ bụrụ eze unu. Ọ dịghị
onye ọzọ dịka ya n'Izrel!"

Mgbe ahụ, mmadụ niile tiri mkpu sị, "Ka eze dị ogologo ndụ gaa n'ihu!"

[25] Ọzọkwa, Samuel gwara ndị Izrel ihe bụ ọrụ eze, na ihe ruuru ya. O dekwara ihe
ndị a n'akwụkwọ, debe akwụkwọ ahụ n'ihu ONYENWE ANYỊ. Emesịa, Samuel mechiri
nzukọ ahụ. Onye ọbụla laghachikwara n'ụlọ ya.

[26] Mgbe Sọl laghachiri n'obodo ya, bụ Gibea, ndị ikom ndị Chineke metụrụ aka
n'obi sooro ya. [27] Ma ụfọdụ ndị efulefu jọgburu onwe ha kwuru sị, "Olee otu nwoke
a ga-esi zọpụta anyị?" Ha leliri ya anya, jụkwa iwetara ya onyinye ịnata ihuọma.
Ma Sọl gbachitere ha nkịtị.

---

* **10:8** 10:8 Ebe mbụ e wuru ụlọnsọ Chineke n'ime ala Kenan bụ n'obodo Gilgal. Jos 4:19-24 † **10:17** 10:17 Oge ọbụla ndị Izrel nwere ihe dị mkpa ha ga atule, ọ bụ n'obodo Mizpa ka ha na-ezukọta Nkp 20:2; 21:1; 1Sa 7:5-6
‡ **10:20** 10:20 Ọ bụ site na-ịjụta ase n'Urim na Tumim ka mmadụ ji amata ihe ọ ga-eme. Ọnụ 27:21; 1Sa 28:6

# 11

*Mmeri Sọl meriri ndị Amọn*

1 N'oge ahụ, Nahash, eze ndị Amọn,* duuru ndị agha ya bilie imegide ndị Izrel bi
n'ala Jebesh Gilead. Ma ndị Jebesh rịọrọ ya sị, "Ka anyị na gị gbaa ndụ, anyị ga-anọ
n'okpuru ọchịchị gị."
2 Ma Nahash, onye Amọn zara sị ha, "Mụ na unu ga-agba ndụ ma ọ bụrụ na unu
ekwenye ka m ghụpụta anya aka nri nke onye ọbụla n'ime unu, si otu a wetara Izrel
niile ihe nkọcha."
3 Ndị okenye obodo Jebesh zara sị, "Nye anyị abalị asaa ka anyị ziga ndị ozi n'ala
Izrel niile. Ọ bụrụ na o nweghị onye kwere ịbịa zọpụta anyị, anyị ga-ewere onwe
anyị nyefee gị n'aka."
4 Mgbe ndị ozi ha zipụrụ bịaruru Gibea, nke bụ obodo Sọl, ha kọọrọ ndị mmadụ
ihe ndị a, ha niile dapụrụ n'akwa. 5 Ma n'oge a, Sọl si n'ubi na-alọta, soro ụmụ ehi
ya n'azụ, ọ jụrụ, "Ọ bụ gịnị na-eme onye ọbụla? Gịnị mere na ha ji ebe akwa?" Ha
kọọrọ ya ihe banyere ozi e si Jebesh zite.
6 Mgbe Sọl nụrụ ozi a, Mmụọ nke Chineke bịakwasịrị ya n'ike, iwe wekwara ya
nke ukwuu. 7 Ọ kpụpụtara ehi abụọ bọkasịa ha, zipụ ndị ozi ka ha buru ha ga obodo
niile dị n'Izrel. Ozi ha ga-ezi ndị obodo ọbụla bụ nke a. "Ọ bụ ihe e mere ehi ndị a
ka a ga-eme ehi onye ọbụla jụrụ iso Sọl na Samuel jee ọgụ." ONYENWE ANYỊ mere ka
egwu jide ndị Izrel niile. N'ihi ya, ha niile bịakwutere Sọl dịka otu mmadụ. 8 Mgbe
Sọl kpọkọtara ha na Bezek, ọnụọgụgụ ndị ikom Izrel dị narị puku atọ, tinyekwara
iri puku mmadụ atọ, ndị sitere na Juda.
9 Ha gwara ndị zitere ozi ahụ okwu sị ha, "Zienụ ndị ikom Jebesh Gilead, 'Echi,
tupu anyanwụ achaa n'uju ya, a ga-anapụta unu.' " Mgbe ndị ozi a gara zie ndị ikom
Jebesh Gilead ozi a, ha ṅụrịrị ọṅụ nke ukwuu. 10 Ndị ikom Jebesh ziri ozi gwa ndị
Amọn sị ha, "Echi, anyị ga-enye unu onwe anyị, ka unu mee anyị ihe masịrị unu."
11 Ma n'ụtụtụ echi, Sọl na ndị agha ya bịaruru. O kewara ndị agha ya ụzọ atọ,
buso ụmụ Amọn agha na mberede n'isi ụtụtụ. O gbugidere ha ụtụtụ niile ruo mgbe
anyanwụ chara n'uju ya, chụsasịa ndị fọdụrụ n'ime ha. Nke a mere na o nweghị ebe
a ga-ahụ ka ndị agha Amọn abụọ nọkọtara.

*Nnabata Sọl dịka eze*

12 Ndị Izrel niile bịakwutere Samuel jụọ ya sị, "Olee ndị ahụ sị na Sọl agaghị abụ
eze anyị? Kpọpụtara anyị ha ka anyị gbuo ha!"
13 Ma Sọl zara sị, "O nweghị onye ọbụla a ga-egbu taa, n'ihi na taa, ONYENWE ANYỊ
anapụtala Izrel!"
14 Samuel gwara ha sị, "Bịanụ ka anyị gaa Gilgal mee ịbụ eze a ka ọ dị ọhụrụ
ọzọ." 15 Ya mere, mmadụ niile gara Gilgal. Na mmemme pụrụ iche, ha mere Sọl
eze n'ihu ONYENWE ANYỊ. Ha chụkwara aja udo nye ONYENWE ANYỊ n'ebe ahụ. Ọṅụ
jupụtakwara n'obi Sọl na ndị Izrel niile.

# 12

*Okwu ikpeazụ Samuel kwuru*

1 Mgbe ahụ, Samuel gwara ụmụ Izrel sị, "Lee, emeelara m unu ihe unu rịọrọ,
Enyela m unu eze. 2 Ugbu a, unu enweela eze, onye bụ onyendu unu. Ma n'ebe mụ
onwe m nọ, abụrụla m agadi isi awọ, ụmụ m ndị ikom so nọrọkwa n'etiti unu. Abụ
m onyendu unu site na mgbe m bụ okorobịa ruo taa. 3 Lee m ka m guzo n'ihu unu.
Gbaanụ ama megide m n'ihu ONYENWE ANYỊ na n'ihu onye ya o tere mmanụ. Onye

* **11:1** 11:1 Ndị Amọn bụ ụmụ ụmụ Lọt, Jen 19:38; Dit 2:19 n'oge Ndị Ikpe na-achị n'Izrel, ha gbalịrị ibuso ha agha ka ha nara ha ala ha. Nkp 3:13; 11:4-33

ka m zuuru ehi ya?* Onye ka m zuuru ịnyịnya ibu ya? Ọ dị onye m ghọgburu? Ọ
dị onye m megburu? Ọ dị onye m si n'aka ya nara ego aka azụ ime ka m ghara ikpe
ikpe ziri ezi? Gwanụ m ma ọ bụrụ na m mere ihe ndị a, aga m emezi ya."
4 Ha zara sị, "Mba ọ dịbeghị mgbe ị ghọgburu anyị, maọbụ kpagbuo anyị, n'ụzọ
ọbụla. O nweghịkwa onye i si n'aka ya were ihe ọbụla."
5 Samuel zara sị ha, "ONYENWE ANYỊ bụ onye akaebe megide unu. Otu a kwa, onye
ya o tere mmanụ bụ onye akaebe taa, na unu achọtaghị ihe ọbụla n'aka m."
Ha zara sị, "E, ọ bụ onye akaebe!"
6 Samuel gakwara n'ihu n'okwu ya sị, "Ọ bụ ONYENWE ANYỊ họpụtara Mosis na
Erọn. Ọ bụkwa ya mere ka nna nna unu ha si n'Ijipt pụta. 7 Ugbu a, guzonụ jụ n'ebe
a n'ihu ONYENWE ANYỊ ka m chetara unu ihe ọma niile ONYENWE ANYỊ meere unu na
nna nna unu ha.
8 "Mgbe ụmụ Jekọb batara Ijipt, ha kpọkuru ONYENWE ANYỊ ka o nyere ha aka.
ONYENWE ANYỊ zitere Mosis na Erọn, ndị kpọpụtara nna nna unu ha site n'Ijipt, mee
ka ha bịa biri n'ebe a.
9 "Ma ha chefuru ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ha, n'ihi ya o nyefere ha n'aka
Sisera, bụ ọchịagha eze Hazọ, nakwa n'aka ndị Filistia, na eze ndị Moab, bụ ndị
lụsoro ha ọgụ. 10 Ha tikuru ONYENWE ANYỊ mkpu akwa, sị ya, 'Anyị emehiela,† anyị
agbakụtala‡ONYENWE ANYỊ azụ, fee arụsị Baal na Ashtọret. Ma ugbu a, napụta anyị
site n'aka ndị iro anyị, anyị ga-efekwa gị.' 11 ONYENWE ANYỊ zitere Jerub-Baal, na
Barak,§ na Jefta, na Samuel, ka ha zọpụta unu site n'aka ndị iro nọ unu gburugburu,
mee ka unu biri n'udo.
12 "Ma mgbe unu hụrụ na Nahash, eze ndị Amọn na-achọ ibuso unu agha, unu tụrụ
egwu bịakwute m sị m, 'Mba, anyị chọrọ eze ga-achị anyị,' n'agbanyeghị na ONYENWE
ANYỊ Chineke unu bụ eze unu. 13 Ugbu a, leenụ eze unu họpụtara, n'ihi na ọ bụ unu
rịọrọ ONYENWE ANYỊ ka o nye unu ya; ONYENWE ANYỊ azakwala arịrịọ unu. 14 Ugbu a,
ọ bụrụ na unu ga-atụ egwu ONYENWE ANYỊ, fee ya, rubere ya isi, hapụ inupu isi n'ebe
iwu ya dị, ọ bụrụkwa na unu na eze unu ga-esogide ONYENWE ANYỊ Chineke unu, ihe
niile ga-adị mma. 15 Ma ọ bụrụ na unu enupu isi n'iwu ONYENWE ANYỊ, jụ ige ya ntị,
aka ya ga-abịakwasị unu n'oke iwe, ọ ga-emekwa unu ihe o mere nna nna unu ha.
16 "Ugbu a, na-elenụ anya ka unu hụ ọrụ ịtụnanya niile ONYENWE ANYỊ na-aga ịrụ.
17 Unu maara na ugbu a bụ oge a na-aghọ mkpụrụ ọka wiiti, ma aga m ekpe ekpere
ka ONYENWE ANYỊ zite egbe eluigwe na mmiri ozuzo taa, ka unu ghọta ụdị ihe ọjọọ
unu mere n'anya ONYENWE ANYỊ mgbe unu rịọrọ ya sị ya nye unu eze."
18 Mgbe ahụ Samuel kpọkuru ONYENWE ANYỊ, ONYENWE ANYỊ zidatakwara egbe
eluigwe na mmiri ozuzo n'ụbọchị ahụ. Nke a mere ka mmadụ niile tụọ ONYENWE
ANYỊ na Samuel egwu.
19 Ndị ahụ rịọrọ Samuel arịrịọ sị ya, "Biko kpeere anyị ekpere nye ONYENWE ANYỊ
Chineke gị ka anyị bụ ndị ohu gị ghara ịnwụ. N'ihi na, n'ezie, anyị ejirila aka anyị
mee ka mmehie anyị mụbaa site n'ịrịọ ka e nye anyị eze."
20 Samuel zara sị, "Unu atụla egwu. Unu emeela ihe ọjọọ ndị a niile, ma hụkwanụ
na unu ji obi unu niile fee ONYENWE ANYỊ ofufe. Unu agbakụtakwala ya azụ n'ụzọ
ọbụla. 21 Unu agbasola chi ndị ọzọ, n'ihi na ha abaghị uru. Ha agaghị enyere unu
aka maọbụ napụta unu site n'aka ndị iro unu. 22 ONYENWE ANYỊ agaghị ahapụ ndị
ya ọ họpụtara, n'ihi na-ime ihe dị otu a bụ iwetara aha ya dị ukwuu ihere. Ọ tọrọ
ONYENWE ANYỊ ụtọ ime unu mba pụrụ iche nye onwe ya. 23 Ma banyere mụ onwe m,
ọ ga-abụrụ m ihe arụ ma a sị na m ga-emehie megide ONYENWE ANYỊ site n'ịkwụsị
ikpere unu ekpere. Aga m anọgidekwa na-ezi unu ihe ndị ahụ dị mma, na ihe ndị

* **12:3** 12:3 Ọnụ 16:15; Ọrụ 20:33; 1Te 2:5; Ọpụ 23:8; Dit 16:19 † **12:10** 12:10 Nkp 10:10 ‡ **12:10** 12:10 Nkp 2:13; 3:7 § **12:11** 12:11 N'ime akwụkwọ ụfọdụ ihe ị ga-ahụ bụ Bedan

ahụ kwesiri ekwesi. [24] Naanị tụọnụ egwu ONYENWE ANYỊ, werekwanụ obi unu fee ya
ofufe n'ikwesị ntụkwasị obi; chetanụ ihe ukwuu niile o meere unu. [25] Ma ọ bụrụ na
unu anọgide na-eme ihe ọjọọ, unu na eze unu ka a ga-ekpochapụ."

# 13

*Samuel abaara Sọl mba*

[1] Sọl gbara iri afọ atọ* mgbe e mere ya eze. Ọ chịkwara dịka eze n'ala Izrel iri afọ anọ na abụọ.

[2] Sọl sitere n'etiti ụmụ Izrel họpụta puku ndị ikom atọ ka ha bụrụ ndị agha ya. Sọl na puku abụọ nọ na Mikmash n'ala ugwu ugwu Betel. Otu puku nọnyeere Jonatan na Gibea, n'ala Benjamin. Ndị ikom ndị fọdụrụ ka o zighachiri, onye ọbụla n'ụlọ ha.

[3] Ma Jonatan busoro ndị agha Filistia nọ na Geba agha. Ndị Filistia nụkwara ihe
banyere ya. Mgbe ahụ, Sọl nyere iwu ka e gbuo opi ike n'ala Izrel niile, kwuo sị,
"Unu ndị Hibru niile, geenụ ntị." [4] Ya mere, ụmụ Izrel niile nụrụ akụkọ ahụ nke
kwuru sị, "Sọl ebusola ọmụma ụlọ ikwu ndị agha Filistia agha, n'ihi nke a, ndị Izrel niile abụrụla ndị a kpọrọ asị ugbu a n'etiti ndị Filistia." Ya mere, ndị agha Izrel niile pụtakwara soro Sọl gaa Gilgal.

[5] Ndị Filistia n'onwe ha chịkọtara ndị agha ha ibuso ndị Izrel agha. Ọnụọgụgụ ụgbọ agha ha dị puku atọ, ndị na-agba ịnyịnya ha nwere dị puku isii; ndị agha ha ndị ọzọ dị ukwu n'ọnụọgụgụ. N'ezie, ha dị ukwuu dịka aja dị n'ọnụ osimiri. Ha
manyere ụlọ ikwu ha na Mikmash n'ọwụwa anyanwụ Bet-Aven. [6] Mgbe ndị agha
Izrel hụrụ na ọnọdụ ha dị njọ nke ukwuu, hụkwa na ndị iro na-emegide ha, ha zoro onwe ha n'ọgba nkume, n'ime oke ọhịa, n'etiti nkume, n'ime olulu na n'ime oghere
ọbụla. [7] Ndị Hibru ụfọdụ gafere Jọdan ruo n'ala Gad na Gilead.

N'oge a, Sọl nọ na Gilgal, ndị agha niile ya na ha nọ na-amakwa jijiji n'ihi ụjọ.
[8] Samuel gwararịị Sọl ka o chere ya ruo abalị asaa, ma mgbe abalị asaa zuru Samuel
abịaghị Gilgal. N'oge a, ndị agha Sọl malitere na-agbasasị. [9] Ya mere, Sọl kwuru sị,
"Wetaranụ m ihe aja nsure ọkụ na nke aja udo." Sọl chụkwara aja nsure ọkụ ahụ.
[10] Ngwangwa ọ na-achụcha aja ndị ahụ, Samuel rutere, Sọl pụrụ izute ya, na ikele ya.

[11] Samuel sịrị, "Gịnị bụ ihe a i mere?"

Sọl zara, "Mgbe m hụrụ na ndị a na-agba aghara aghara, na-esite n'ebe m nọ na-agbapụ, mgbe m lere anya lee, ma ahụghị m ka ị na-abịa dịka i kwuru, mgbe m
hụkwara ndị Filistia ka ha nọ na Mikmash, na-akwado ibuso anyị agha, [12] echeere
m, 'Ugbu a, ndị Filistia ga-arịdakwute m ibuso m agha na Gilgal, ma arịọbeghị m ihuọma ONYENWE ANYỊ.' Ya mere m, m jisie ike chụọ aja nsure ọkụ ahụ."

[13] Samuel sịrị Sọl, "Ị kpara agwa onye nzuzu. I debeghị ihe ONYENWE ANYỊ Chineke gị nyere gị n'iwu idebe. A si na i mere nke a, ọ gaara eme ka alaeze gị guzosie ike
n'ebe Izrel nọ ruo mgbe niile. [14] Ma ugbu a, alaeze gị agaghị adịgide. ONYENWE ANYỊ
achọpụtala otu nwoke dịka ọchịchọ obi ya si dị, ọ họpụtakwala ya ịbụ eze nke ndị ya; n'ihi na ị debeghị ihe ONYENWE ANYỊ nyere gị n'iwu."

[15] Samuel biliri hapụ Gilgal gaa Gibea n'ala Benjamin. Mgbe Sọl gụrụ ndị agha so ya, ọ chọpụtara na ha dị naanị narị isii.

*Ngwa agha ọbụla adịghị n'ala Izrel*

[16] Sọl na nwa ya nwoke Jonatan, na narị mmadụ isii ndị soo ha nọ na Geba n'ala
Benjamin, ebe ndị Filistia mara ụlọ ikwu ha na Mikmash. [17] Ụfọdụ n'ime ndị agha
Filistia kere onwe ha ụzọ atọ site n'ụlọ ikwu ndị Filistia pụta; otu ụzọ chere ihu n'ụzọ

---

* **13:1** 13:1 N'ụfọdụ akwụkwọ ndị ọgbara ọhụrụ e nweghị ọnụọgụgụ a

Ofra n'akụkụ Shual, 18 nke ọzọ chere ihu ịga Bet-Horon, nke atọ chee ihu n'ụzọ oke
ala dị na Ndagwurugwu Zeboiim, nke dị ọzara nso.
19 N'oge ahụ, e nweghị ike ịchọta otu ọkpụ ụzụ n'ala Izrel, n'ihi na ndị Filistia
sịrị, "Ma ọ bụghị otu a, ndị Hibru ga-akpụtara onwe ha mma agha maọbụ ùbe."
20 Izrel niile na-ejekwuru ndị Filistia maka ịmụ ọgụ igwuze ala ha, maọbụ mma oge
ha, maọbụ anyụike ha, maọbụ mma ha ji ewe ihe ubi. 21 Ihe ha na-akwụ maka ịmụ
ọgụ igwuze ala, na mma oge ha bụ ụzọ abụọ nke shekel e kere ụzọ atọ, maka ịmụ
anyụike, na ndụdụ, ya na ịpị ndụdụ e ji achị ehi bụ, otu ụzọ nke shekel e kere ụzọ
atọ.
22 Nke mere na ahụtaghị mma agha† maọbụ ùbe ọbụla n'aka ndị agha Izrel
n'ụbọchị agha ahụ, ma ọ bụghị naanị nke dị n'aka Sọl na Jonatan.‡

### *Jonatan ebuso ndị Filistia agha*

23 Ugbu a ndị Filistia e kewapụtara iche a pụọla gaa n'ụzọ warawara dị na Mikmash.

## 14

1 Otu ụbọchị, Jonatan nwa Sọl, kpọrọ nwokorobịa na-ebu ihe agha ya sị, "Bịa, ka
anyị gafee ndagwurugwu jeruo n'ụlọ ikwu ndị Filistia." Ma ọ gwaghị Sọl nna ya.
2 Sọl na narị ndị ikom isii ya na-anọdụ n'ebe dị anya site na Gibea, n'okpuru osisi
pomegranet dị na Migrọn. 3 Otu n'ime ndị so Sọl bụ Ahija onye nchụaja, onye yi
efọọd.* Ọ bụ nwa Ahitub, onye bụ nwanne Ịkabọdụ. Ahitub bụ nwa nwa Finehaz,
onye bụ nwa Elayị, onye nchụaja ONYENWE ANYỊ na Shaịlo. Ọ dịkwaghị onye ma na
Jonatan apụọla.
4 Tupu Jonatan eruo ebe ndị Filistia nọ, ọ ghaghị isite na nwa ụzọ warawara dị
n'agbata nkume abụọ, a na-akpọ Bozez na Sene gabiga. 5 Nkume nke dị n'akụkụ elu
elu, dị n'ihu Mikmash, nke dị n'akụkụ ndịda dị n'ihu Geba.
6 Jonatan gwara nwokorobịa na-ebu ihe agha ya sị, "Bịa, ka anyị gafee ga n'ebe
nguzo ndị ahụ a na-ebighị ugwu, ma eleghị anya ONYENWE ANYỊ ga-alụrụ anyị ọgụ.
N'ihi na ọ dịghị ihe pụrụ igbochi ONYENWE ANYỊ ịzọpụta, site n'ọtụtụ mmadụ, maọbụ
ole na ole."
7 Nwokorobịa ahụ zara sị ya, "Gaa n'ihu, eji m obi m na mmụọ m na-eso gị dịka
ọchịchọ gị si dị."
8 Jonatan gwara ya sị, "Bịa ka anyị ga, lee ihe anyị ga-eme. Anyị ga-apụkwuru ndị
agha ahụ mee ka ha hụ anyị anya. 9 Ọ bụrụ na ha asị, 'Guzonụ ebe ahụ ruo mgbe
anyị bịakwutere unu,' anyị ga-echere ebe anyị nọ, anyị agaghị agakwuru ha. 10 Ma
ọ bụrụ na ha sị, 'Rigokwutenụ anyị,' anyị ga-emekwa otu ahụ, n'ihi na ọ ga-abụrụ
anyị ihe ama na ONYENWE ANYỊ enyela ha n'aka anyị."
11 Ya mere, ha abụọ guzoro ebe ndị Filistia ga-ahụ ha. Mgbe ndị Filistia hụrụ ha,
ha tiri mkpu sị, "Lee, ndị Hibru esitela n'ọnụ† ebe ha zoro na-arịpụta." 12 Ndị ikom
ndị na-anọ n'ebe nguzo ndị nche tikuru Jonatan na onye ahụ na-ebu ngwa agha ya
sị, "Rigokwutenụ anyị, ka anyị mee unu ihe."
Jonatan gwara onye ahụ na-ebu ngwa agha, "Soro m n'azụ rigota, n'ihi na ONYENWE
ANYỊ ewerela ha nyefee n'aka Izrel."
13 Ya mere, Jonatan ji ikpere ya na aka ya rigoruo n'ebe ahụ; onye na-ebu ihe agha
ya sokwa ya n'azụ. Ma ndị agha Filistia daghachiri azụ mgbe Jonatan na onye na-ebu
ihe agha ya bidoro igbu ha. 14 Na ogbugbu mbụ ahụ, Jonatan na onye ahụ na-ebu
ngwa agha ya gburu ọnụọgụgụ ndị Filistia dị iri abụọ. Ọ bụ n'ihe ha ka nketa ala
ruru otu ọkara n'ekaa‡ n'ọtụtụ.

---

† **13:22** 13:22 Nkp 5:8 ‡ **13:22** 13:22 Ọ bụ ụta na àkụ ka ndị Izrel ji lụọ ọgụ. * **14:3** 14:3 Ọ bụ n'ime efọọd ka ụmụ nkume abụọ e ji ajụta ase n'ihu Chineke, nke bụ Urim na Tumim na-adị. Ọpụ 28:30 † **14:11** 14:11 1Sa 13:6; 14:22 ‡ **14:14** 14:14 Maọbụ, ọkara furo n'ọtụtụ

*Izrel emerie ndị Filistia*

15 Oke ọma jijiji dakwasịrị ndị agha niile, na ndị nọ n'ọmụma ụlọ ikwu, ma ndị nọ n'ọhịa, ma ndị nọ n'ebe dịpụrụ adịpụ, ma ndị na-ejeghar̄ị ejeghar̄ị ibu agha. Ala ahụ niile mara jijiji. Ọ bụ ọma jijiji nke Chineke zitere.

16 Ndị nche Sọl, bụ ndị nọ na Gibea n'ime Benjamin, lepụrụ anya hụ igwe ndị agha ka ha malitere ịgba barịị n'ihu na-azụ. 17 Mgbe ahụ, Sọl gwara ndị agha ya na ha so, "Gụọnụ ndị agha ọnụ, chọpụta onye na-anọghị n'ebe a." Mgbe ha mere nke a, ha chọpụtara, na Jonatan na onye na-ebu ihe agha ya anọghị n'ebe ahụ.

18 Sọl sịrị Ahija, "Bute igbe ọgbụgba ndụ Chineke." (N'oge ahụ igbe ọgbụgba ndụ dị n'aka ụmụ Izrel.) 19 Mgbe Sọl na-agwa onye nchụaja okwu, ụzụ na iti mkpu nke na-ada n'ụlọ ikwu ndị Filistia dara karịa, n'ihi ya, Sọl gwara onye nchụaja ahụ okwu sị ya, "Sepụ aka gị."

20 Mgbe ahụ, Sọl na ndị niile ya na ha nọ jikọtara onwe ha baa n'agha ahụ, ma lee, ndị Filistia ji mma agha na-egburita onwe ha. Ọgbaaghara dịkwa n'ebe niile.
21 Ma ndị Hibru, ndị so ndị Filistia na-alụ ọgụ, tụgharịrị dịnyere ndị Izrel soro Sọl na Jonatan. 22 Emesịa, ndị ikom Izrel niile, ndị ahụ zoro onwe ha n'ala ugwu ugwu Ifrem pụtara, mgbe ha hụrụ na ndị Filistia na-agba ọsọ. Ha gbapụtara soro ndị ọzọ ịchụ ndị Filistia ọsọ. 23 Ya mere, ONYENWE ANYỊ napụtara ndị Izrel n'ụbọchị ahụ. E buru agha ahụ gabiga Bet-Aven.

*Jonatan arachaa mmanụ aṅụ*

24 Ma ndị ikom Izrel nọ ọnọdụ nhụju anya n'ụbọchị ahụ, n'ihi na Sọl jiri ịṅụ iyi kechie ha, mgbe o kwuru sị, "Onye a bụrụ ọnụ ka nwoke ahụ bụ onye ga-eri nri ọbụla site ugbu a ruo anyasị, tutu ruo mgbe m bọsịrị ọbọ megide ndị iro m!" N'ihi ya, o nweghị onye ọbụla n'etiti ndị agha ya detụrụ ihe oriri ọnụ.

25 Ndị agha ahụ niile banyere n'ọhịa ebe mmanụ aṅụ dị n'ala. 26 Mgbe ha banyere n'ọhịa, ha hụrụ mmanụ aṅụ ebe ọ na-asọpụta, ma o nweghị onye metụrụ aka n'ọnụ ya, n'ihi na ha tụrụ egwu iyi ahụ ha ṅụrụ. 27 Ma Jonatan anụghị na nna ya mere ka ndị ahụ ṅụọ iyi, ya mere, o setịpụrụ ọnụ ọnụ mkpanaka dị ya n'aka rụta mmanụ aṅụ na ugbugbo ya, tinye n'ọnụ ya rachaa. Nke a mere ka ike ya laghachite. 28 Ma otu onye agha gwara ya sị, "Nna gị ji ịṅụ iyi gbaa ndị agha niile iwu, sị, 'Onye a bụrụ ọnụ ka nwoke ahụ bụ, onye riri nri taa. Ọ bụ nke a mere ndị mmadụ ji ada mba.' "

29 Jonatan zara sị, "Nna m esitela n'iwu dị otu a wetara ala anyị nsogbu. Lee ka m si nweta ike site na mmanụ aṅụ nta m rachara. 30 Ọ garaghị aka mma ma a sị na ndị ikom riri ihe ha si n'aka ndị iro ha kwata n'agha? Ọ bụ na ogbugbu a gaara egbu ndị Filistia agaraghị adị ukwuu karịa?"

31 Ma ndị agha Izrel bu agụụ tigbuo ndị Filistia, chụọkwa ha ọsọ site na Mikmash ruo Aijalon. Ha dakwara mba karịa. 32 Ha dakwasịrị ihe a kwatara n'agha, gbuo atụrụ na ehi na ụmụ ehi, bido iri anụ ha na ndụ n'ihi agụụ. 33 Ma otu onye gwara Sọl sị, "Ndị ikom Izrel na-emehie megide ONYENWE ANYỊ site na iri anụ ọbara ya dị n'ahụ ya."

Mgbe ahụ, ọ sịrị, "Ihe dị otu a jọgburu onwe ya. Nutenụ nkume ukwuu n'ebe a ugbu a." 34 Sọl sịrị, "Gaa n'etiti ndị ikom a gwa ha, 'Ka onye ọbụla weta ehi na atụrụ ha chọrọ igbu n'ebe a, ka e gbuo ha n'ebe a, rie anụ ha. Unu emehiela megide ONYENWE ANYỊ site n'iri anụ ọbara dị n'ime ya.' "

Ya mere, onye ọbụla wetara ehi ya n'abalị ahụ, gbuo n'ebe ahụ. 35 Emesịa, Sọl wuuru ONYENWE ANYỊ ebe ịchụ aja. Nke a bụ ebe ịchụ aja nke mbụ o wuru.

36 Mgbe ahụ, Sọl gwara ndị agha ya sị, "Ka anyị gaa chụọ ndị Filistia ọsọ n'abalị a niile, ma gbukwaa onye ọbụla fọdụrụ n'ime ha."

Ndị agha ya zara sị, "Ọ dị mma, mee dịka ị kwuru."

Ma onye nchụaja sịrị, “Ka anyị buru ụzọ jụta ihe bụ uche Chineke.”
37 Mgbe ahụ, Sọl jụrụ Chineke sị, “Ọ bụ m rịda gaa chụso ndị Filistia? Ị ga-enyefe
ha n’aka ndị Izrel?” Ma Chineke enyeghị ya ọsịsa ọbụla n’ụbọchị ahụ.
38 Sọl gwara ndịisi agha Izrel okwu sị, “Ihe emebiela! Anyị aghaghị ịchọpụta ụdị
mmehie anyị mere taa, nke mere Onyenwe anyị ji jụ inye anyị ọsịsa. 39 N’ezie dịka
Onyenwe anyị, onye na-azọpụta Izrel na-adị ndụ, a sịkwarị na ọ bụ nwa m Jonatan
ka a chọpụtara na ọ bụ ya ka ikpe mara, ọ ga-anwụ!” Ma ọ dịghị onye gwara ya ihe
ọbụla.
40 Mgbe ahụ, Sọl gwara ndị Izrel niile okwu sị ha, “Guzonụ onwe unu n’ebe ahụ,
mụ na nwa m Jonatan ga-eguzo onwe anyị n’ebe a.”
Ndị ahụ zara sị, “Mee ihe ọbụla dị gị mma.”
41 Mgbe ahụ, Sọl kpere ekpere nye Onyenwe anyị, bụ Chineke Izrel, “Gịnị mere na
ị zabeghị ohu gị taa? Ọ bụrụ na ikpe mara m maọbụ nwa m Jonatan, zaa site n’Urim,
ma ọ bụrụ ndị ikom Izrel ka ikpe mara,§ nye ọsịsa site na Tumim.” Nza ahụ mara
Jonatan na Sọl, ma ikpe amaghị ndị ikom Izrel. 42 Mgbe ahụ, Sọl kwuru sị, “Ugbu a
feenụ nza n’etiti mụ na Jonatan, nwa m nwoke.” Nza ahụ mara Jonatan.
43 Sọl gwara Jonatan okwu sị ya, “Gwa m ihe i mere.”
Jonatan zara sị ya, “Ọ bụ naanị mmanụ aṅụ ntakịrị ka m ji ọnụ mkpanaka m rụrụ
rachaa. Ọ pụtara na m ga-anwụ n’ihi ya?”
44 Mgbe ahụ, Sọl zara sị, “N’ezie Jonatan, ị ghaghị ịnwụ. Ka Chineke meso m mmeso,
otu ọbụla mmeso ahụ si sie ike, ma ọ bụrụ na ị nwụghị n’ihi ihe a i mere.”
45 Ma ndị ikom ahụ sịrị Sọl, “Jonatan ọ ga-anwụ, bụ onye a wetara nzọpụta a dị
ukwuu n’Izrel? Nke a apụghị ime! Dịka Onyenwe anyị na-adị ndụ, ọ bụladị otu agịrị
isi agaghị esi n’isi ya dapụ, n’ihi na Chineke ejirila ya rụọ ọrụ ịtụnanya dị ukwuu
taa.” Ya mere, ndị agha ahụ zọpụtara Jonatan, e gbukwaghị ya.
46 Emesịa, Sọl kwụsịrị ndị agha ya ịchụ ndị Filistia ọsọ. Ndị Filistia n’onwe ha
lakwara n’ala nke ha.
47 Site n’oge Sọl malitere ịchị n’Izrel, o buru agha megide ndị iro ha n’akụkụ niile,
ndị Moab, ndị Amọn, ndị Edọm, ndị eze Zoba na ndị Filistia. Ebe ọbụla o chere ihu
ọ na-alụgbu. 48 O buru agha dị ukwuu, lụgbuo ndị Amalek; ma zọpụta ndị Izrel site
n’aka ndị niile na-emegbu ha site n’ịpụnarị ha ihe ha nwere.

### *Ezinaụlọ Sọl*

49 Sọl mụtara ndị ikom atọ; Jonatan, Ishvi na Malkishua. Ọ mụtakwara ụmụ
agbọghọ abụọ, Merab na Mikal. 50 Aha nwunye Sọl bụ Ahinoam, ada Ahimaaz.
Ọchịagha Sọl bụ Abna, nwa Nea, nwanne nna Sọl. 51 Nea, nna Abna, na Kish, nna
Sọl bụ ụmụnne. Ha bụ ụmụ Abiel.
52 Ndị Izrel na ndị Filistia nọ n’agha dị egwu ụbọchị niile Sọl bụ eze. Mgbe ọbụla
Sọl hụrụ nwoke dị ike, maọbụ dimkpa, ọ na-eduru ya mee ya ka ọ bụrụ otu n’ime
ndị agha ya.

## 15

### *Onyenwe anyị ajụ eze Sọl*

1 Samuel sịrị Sọl, “Mụ ka Onyenwe anyị zitere ite gị mmanụ ka ị bụrụ eze ndị ya,
bụ Izrel. Ya mere, gee ntị n’ozi sitere n’aka Onyenwe anyị bịa. 2 Ihe a ka Onyenwe
anyị, Onye pụrụ ime ihe niile* kwuru. ‘Aga m ata ndị Amalek ahụhụ n’ihi ihe ọjọọ
niile ha mere Izrel, mgbe ha nọchiri ha n’ụzọ oge ha si Ijipt pụta. 3 Ugbu a, gaa buso

§ **14:41** 14:41 Akwụkwọ ndị Hibru ochie enweghị akụkụ a, nke bidoro na “Gịnị mere na ị zabeghị ohu gị taa? ruo n’ebe asịrị maọbụ ndị Izrel ka ikpe mara”. * **15:2** 15:2 Onye pụrụ ime ihe niile

ndị Amalek agha. Gbuchapụ ihe niile† ha nwere. Enwekwala ọmịiko n'ahụ ha. Gbuo
ndị ikom niile, ndị inyom niile, ụmụntakịrị niile na ụmụ na-aṅụ ara, igwe ehi na
atụrụ, ịnyịnya kamel na ịnyịnya ibu ha niile.' "
4 Ya mere, Sọl chịkọtara ndị agha ya mee ka ha zukọtaa n'obodo Telaim. Ọnụọgụgụ
ha dị narị puku abụọ, ndị agha ji ụkwụ, tinyere puku ndị ikom iri si na Juda. 5 Sọl
duuru ndị agha ya gaa zoo n'akụkụ iyi tara ata dị nso n'obodo ndị Amalek. 6 Sọl
zigaara ndị Ken ozi sị ha, "Sitenụ n'etiti ndị Amalek wezuga onwe unu ka m ghara
ibibikọta unu na ha. N'ihi na unu gosiri ndị Izrel obiọma mgbe ha si n'Ijipt pụta."
Ya mere, ndị Ken sitere n'etiti ndị Amalek wezuga onwe ha.
7 Sọl busoro ndị Amalek agha site na Havila ruo Shua, nke dị n'ọwụwa anyanwụ
Ijipt. 8 O jidere Agag, eze ndị Amalek na ndụ, ma jiri mma agha gbuchapụ ndị ya
niile. 9 Ma Sọl na ndị agha ya debere Agag ndụ, debekwa atụrụ na ehi kachasị mma,
na ụmụ ebule na atụrụ gbara abụba, na ihe ndị ọzọ niile mara mma. N'ezie, ihe
ọbụla dị mma n'anya ka ha jụrụ ibibi. Ma ihe ndị ọzọ niile nke na-amasịghị ha, na
nke na-abaghị uru, ka ha bibiri.
10 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ rutere Samuel ntị, 11 "Ọ na-ewute m na m mere
Sọl ka ọ bụrụ eze, n'ihi na o nupuru isi site n'okwu m, jụ ime ihe m nyere ya n'iwu."
O wutere Samuel nke ukwuu mgbe ọ nụrụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru. Ya mere, o
tikuru ONYENWE ANYỊ mkpu akwa abalị ahụ niile.
12 N'isi ụtụtụ echi ya, Samuel pụrụ gawa ịchọ Sọl. Otu onye gwara ya sị, "Sọl agaala
n'ugwu Kamel iwuru onwe ya ihe ncheta. Ọ ga-esitekwa ebe ahụ gaa Gilgal."
13 N'ikpeazụ, mgbe Samuel hụrụ ya, Sọl ji oke ọṅụ kelee Samuel sị, "Onye ONYENWE
ANYỊ gọziri agọzi ka ị bụ. Lee, emeela m ihe niile ONYENWE ANYỊ kwuru!"
14 Ma Samuel jụrụ ya sị, "Gịnị bụ ube atụrụ ndị a m na-anụ? Ebee ka ube igwe ehi
ndị a si na-ada?"
15 Sọl zara sị, "Ndị agha m si n'etiti ndị Amalek chịta ụfọdụ n'ime atụrụ na ehi ndị
mara mma nke ha chọrọ iji chụọrọ ONYENWE ANYỊ Chineke gị aja. Ma anyị bibiri ihe
ndị ọzọ fọdụrụnụ."
16 Mgbe ahụ Samuel gwara Sọl sị, "Ekwukwala ọzọ! Gee ntị nụrụ ihe ONYENWE
ANYỊ gwara m n'abalị!"
Sọl zara ya sị, "Kwuo, gịnị ka ọ gwara gị?"
17 Samuel gwara ya sị, "Ọ bụghị ezie n'agbanyeghị na ị dịrịị ntakịrị n'anya gị onwe
gị, ma ị bụụrụ onyeisi ndị ebo Izrel niile? ONYENWE ANYỊ tere gị mmanụ ibu eze ndị
Izrel. 18 ONYENWE ANYỊ ziri gị ijere ya ozi, gwa gị sị, 'Gaa, laa ndị ajọ omume ahụ, bụ
ndị Amalek n'iyi; buso ha agha ruo mgbe ị kpochapụrụ ha niile.' 19 Gịnị mere i geghị
ntị n'okwu ONYENWE ANYỊ ime ihe o kwuru? Gịnị mere i ji chụrụ ihe nkwata gaa, si
otu a mee ihe dị njọ n'anya ONYENWE ANYỊ?"
20 Ma Sọl sịrị ya, "Ma erubeere m ONYENWE ANYỊ isi. Ejere m ozi ahụ ONYENWE ANYỊ
zigara m. Anwụtara m Agag eze Amalek na ndụ, ma gbuchapụ ndị Amalek niile.
21 Ndị agha sitere n'ihe a kwatara n'agha were ụfọdụ atụrụ na ehi, bụ ndị kachasị
mma n'etiti ihe ndị ahụ e debere iche maka ịla ha n'iyi, iji ha chụọrọ ONYENWE ANYỊ
Chineke gị aja na Gilgal."
22 Ma Samuel sịrị,
"Ihe na-atọ ONYENWE ANYỊ ụtọ ọ bụ onyinye na aja nsure ọkụ
dịka nrube isi nye ihe si n'ọnụ ONYENWE ANYỊ pụta?
Nrube isi dị mma karịa ịchụ aja
ịṅa ntị dị mma karịa abụba ebule.

† **15:3** 15:3 Gbuchapụ ihe niile nke a, n'okwu ndị Hibru pụtara i were ihe niile, tinyere mmadụ na anụ ụlọ, nyefee ONYENWE ANYỊ kpamkpam na-eleghị anya n'azụ site ikpochapụ ha. Usoro okwu a dịkwa n'amaokwu ndị a: 1Sa 15:8,9,15,18,20,21

23 N’ihi na nnupu isi dịka mmehie ịgba afa,
mpako dịkwa njọ dịka ikpere arụsị.
N’ihi na ị jụla okwu ONYENWE ANYỊ
ya onwe ya ajụkwala gị dịka eze.”

24 Sọl zara Samuel sị ya, “Emehiela m. N’ezie, enupula m isi na ndụmọdụ gị na
n’iwu ONYENWE ANYỊ. Ọ bụ n’ihi na m tụrụ egwu ndị Izrel ka m ji mee ihe ha chọrọ.
25 Biko, gbaghara m mmehie m ugbu a, bịakwa soro m ka m gaa fee ONYENWE ANYỊ
ofufe.”

26 Ma Samuel sịrị ya, “Agaghị m eso gị laghachi azụ. Ebe ị jụrụ okwu ONYENWE
ANYỊ, ONYENWE ANYỊ ajụkwala gị dịka eze ndị Izrel!”

27 Mgbe Samuel tụgharịrị ka o si n’ebe ahụ pụọ, Sọl jidere ya n’ọnụ ọnụ uwe ya
ime ka ọ lọghachi azụ, ma uwe ahụ dọwara. 28 Mgbe ahụ, Samuel zara sị ya, “Taa
ONYENWE ANYỊ adọwapụla alaeze Izrel site n’aka gị were ya nyefee otu n’ime ndị
agbataobi gị, onye ka gị mma. 29 Chineke, onye bụ Ebube Izrel, anaghị agha ụgha; ọ
nakwaghị agbanwe obi ya, n’ihi na ọ bụghị mmadụ efu!”

30 Ma Sọl malitekwara ịrịọ arịrịọ ọzọ sị, “Emehiela m. Ma, sọpụrụ m ugbu a n’ihu
ndị okenye ndị m, na n’ihu ndị Izrel. Lọghachi soro m ka m gaa fee ONYENWE ANYỊ
Chineke gị ofufe.” 31 Ya mere, Samuel kwenyere soro Sọl laghachi, Sọl kpọkwara
isiala nye ONYENWE ANYỊ.

32 Mgbe ahụ, Samuel gwara ya okwu sị ya, “Kpọpụtara m Agag, eze ndị Amalek.”

Agag ji ihu ọchị bịakwute ya, n’ihi na o chere sị, “N’ezie oge ọnwụ agaala.”

33 Ma Samuel kwuru sị,
“Dịka mma agha gị sị gbawa ndị inyom aka ụmụ
otu a ka nne gị ga-esi bụrụ onye na-enweghị nwa n’etiti ndị inyom.”
Samuel gburu Agag n’ihu ONYENWE ANYỊ na Gilgal.

34 Emesịa, Samuel lara n’ụlọ ya na Rema. Ma Sọl laghachikwara na Gibea, obodo
nke aka ya. 35 Site n’oge ahụ ruo mgbe Samuel nwụrụ, ọ hụkwaghị Sọl anya ọzọ. Ma
o rugidere ụjụ n’ihi Sọl oge ndị a niile. O wutekwara ONYENWE ANYỊ na o mere Sọl
eze ndị Izrel.

# 16

*Samuel etee Devid mmanụ*

1 Emesịa ONYENWE ANYỊ sịrị Samuel, “Ruo ole mgbe ka ị ga-anọgide na-eru ụjụ n’ihi
Sọl, ebe ọ bụ na m ajụla ya dịka eze ndị Izrel? Ugbu a, gbajuo mmanụ na mpi gị,
bilie ije. Ana m eziga gị ka ijekwuru Jesi onye Betlehem, ahọrọla m otu onye ga-abụ
eze site n’etiti ụmụ ya ndị ikom.”

2 Ma Samuel zara sị, “Oleekwanụ otu m ga-esi gaa n’ebe ahụ? Ọ bụrụ na Sọl anụ
ya, ọ ga-egbu m.”

ONYENWE ANYỊ sịrị, “Were nwaagbọghọ ehi, jiri ya n’aka, sị, ‘Abịara m ịchụrụ
ONYENWE ANYỊ aja.’ 3 Ị ga-akpọ Jesi ka ọ bịa soro n’ọchụchụ aja ahụ. Mgbe ahụ, aga
m egosi gị ihe ị ga-eme. Ị ga-etekwara m ya mmanụ, bụ onye m nke ga-egosi gị.”

4 Samuel mere ihe ONYENWE ANYỊ kwuru. Mgbe o rutere na Betlehem, ndị okenye
obodo ahụ ji ịma jijiji pụta izute ya. Ha jụrụ ya sị “Ọ dịkwa mma? Udo ọ dịkwa?”

5 Ma Samuel zara ha sị “E, udo dị, Abịara m ịchụrụ ONYENWE ANYỊ aja. Doonụ
onwe unu nsọ bịa soro m gaa ịchụ aja ahụ.” O dokwara Jesi na ụmụ ya ndị ikom
nsọ, gwakwa ha ka ha soro gaa.

6 Mgbe ha ruru, Samuel hụrụ Eliab kwuo n’obi ya sị, “N’ezie, onye nke ONYENWE
ANYỊ tere mmanụ na-eguzo n’ihu ONYENWE ANYỊ.”

7 Ma ONYENWE ANYỊ zara Samuel sị ya, "Ejila ihu mmadụ maọbụ ito ogologo ya
ekpebi, n'ihi na onye a abụghị ya. ONYENWE ANYỊ adịghị ahụ ihe dịka mmadụ si ahụ.
Mmadụ na-ele anya n'elu ahụ, ma ONYENWE ANYỊ na-ele anya n'obi."
8 Jesi kpọrọ Abinadab ka ọ gafee n'ihu Samuel. Ma Samuel sịrị, "ONYENWE ANYỊ
ahọrọghị onye a." 9 Jesi mere ka Shama bịa gafee, ma Samuel sịrị, "Mba ONYENWE
ANYỊ ahọrọghị onye a." 10 Ụmụ ndị ikom Jesi asaa si otu a gafee n'ihu Samuel, ma
Samuel sịrị ya, "ONYENWE ANYỊ ahọrọghị ndị a." 11 Ọ jụrụ Jesi sị, "Ndị a ọ gwụchaala
ụmụ ndị ikom ị mụtara?"

Jesi zara sị "O fọdụrụ ọdụdụ nwa m, ma ọ nọ n'ọhịa na-azụ atụrụ."

Samuel sịrị, "Ziga ozi kpọlata ya, anyị agaghị anọdụ ala tutu ruo mgbe ọ bịara."

12 Ọ zigara ozi ka akpọọ ya, mee ka ọ bịa. O nwere ụcha ahụ pụrụ iche, nwee anya
mara mma, dịkwa mma ile anya.

Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Samuel okwu sị ya, "Ọ bụ onye a, bilie tee ya mmanụ."

13 Ya mere, Samuel weere mpi ahụ mmanụ dị tee ya n'ihu ụmụnne ya. Site n'ụbọchị
ahụ Mmụọ ONYENWE ANYỊ bịakwasịrị Devid n'ebe ọ dị ukwuu. Emesịa, Samuel
laghachiri na Rema.

*Devid aghọọ onye na-ejere Sọl ozi*

14 Ugbu a, Mmụọ ONYENWE ANYỊ esitela n'ime Sọl pụọ, ONYENWE ANYỊ zitekwara
mmụọ ọjọọ nke bịara na-esogbu Sọl.
15 Ndị na-ejere Sọl ozi gwara ya okwu sị, "Lee, mmụọ ọjọọ si n'ebe Chineke nọ bịa
na-enye gị nsogbu. 16 Biko, ka onyenwe anyị nye ndị ohu ya nọ n'ebe a ike, ka ha gaa
chọta onye maara akpọ ụbọ akwara nke ọma. Ọ ga-akpọ ụbọ akwara mgbe ọbụla
mmụọ ọjọọ si n'ebe Chineke nọ bịa bịakwasịrị gị, ime ka ahụ dị gị mma."
17 Sọl kwenyere sị ha, "Ọ dị mma, gaanụ chọta ma kpọtara m nwoke na-akpọ ụbọ
akwara nke ọma."
18 Otu onye n'ime ndị na-eje ozi kwuru sị, "Lee, ahụla m otu n'ime ụmụ ndị ikom
Jesi, onye Betlehem, onye maara akpọ ụbọ akwara nke ọma. Ọ bụ dike na ọka n'agha.
Ọ bụ onye na-ekwu okwu nke ọma, na nwoke mara mma ile anya. ONYENWE ANYỊ
nọnyekwara ya."
19 Sọl zipụrụ ndị ozi ka ha jekwuru Jesi sị ya, "Zitere m nwa gị nwoke Devid, onye
na-azụrụ gị atụrụ." 20 Ya mere Jesi zipụrụ Devid ka o jekwuru Sọl. O mekwara
ka Devid duru otu ịnyịnya ibu nke o bukwasịrị achịcha, na otu karama akpụkpọ
mmanya, na otu nwa ewu, onyinye a na-enye Sọl.
21 Devid bịakwutere Sọl, banye n'ọrụ ijere ya ozi. Sọl hụrụ ya n'anya nke ukwuu,
n'ihi ya, Devid ghọrọ otu n'ime ndị na-ebu ihe agha Sọl. 22 Mgbe ahụ, Sọl ziri Jesi
ozi sị ya, "Biko, kwere ka Devid bụrụ otu n'ime ndị agha m, n'ihi na ihe ya na-atọ m
ụtọ."
23 Mgbe ọbụla mmụọ ọjọọ ahụ si n'ebe Chineke nọ bịa malitere inye Sọl nsogbu,
Devid na-akpọ ụbọ akwara ya. Ahụ Sọl na-adajụkwa, mmụọ ọjọọ ahụ na-esitekwa
n'ebe ọ nọ wezuga onwe ya.

# 17

*Devid na Golaịat*

1 N'oge a, ndị Filistia chịkọtara ndị agha ha ọnụ, zukọtaa n'obodo Sokoh nke dị na
Juda maka ibu agha. Ha mara ụlọ ikwu ha n'Efes Damim, nke dị n'agbata Sokoh
na Azeka. 2 Mgbe ahụ, Sọl na ndị Izrel niile zukọtara maa ụlọ ikwu nke ha na
ndagwurugwu Ịla. Ha doro onwe ha n'usoro agha izute ndị Filistia. 3 Ndị Filistia
doro onwe ha n'elu ugwu n'otu akụkụ, ma ndị Izrel dokwara onwe ha n'elu ugwu
n'akụkụ nke ọzọ. Ndagwurugwu dịkwa n'etiti ha.

4 Mgbe ahụ, otu onye ọka agha aha ya bụ Golaịat,* onye obodo Gat, sitere n'etiti ụlọ
ikwu ndị Filistia pụta. Nwoke a toro ogologo nke ukwuu; ịdị ogologo ya ga-erukwa
mita atọ. 5 O kpu okpu agha e ji bronz kpụọ, ma yiri uwe agha nke ịdị arọ bronz e ji
kpụọ ya ga-erukwa iri kilogram ise na asaa. 6 O yikwa ihe agha o ji kpuchie ụkwụ ya
abụọ nke e ji bronz kpụọ, nyakwasịkwa n'ubu ya ùbe e ji bronz kpụọ. 7 A kpụrụ ùbe
ya ka ọ dịrị ka osisi e ji ekwe akwa, jiri igwe ịdị arọ ya ga-eru kilogram asaa kpụọ
ọnụ ọnụ ùbe ahụ. Onye na-ebu ọta o ji ekpuchi obi ya nọkwa n'ihu ya.
8 Golaịat guzoro kpọkuo ndị agha Izrel sị ha, "Gịnị mere unu ga-eji pụta guzo
n'usoro ibu agha. Ọ bụ na m abụghị onye Filistia? Ọ bụkwa na unu onwe unu
abụghị ndị ozi Sọl? Họpụtaranụ onwe unu otu nwoke, ka ọ bịakwute m. 9 Ọ bụrụ
na onye ahụ unu họpụtara etigbuo m, anyị ga-abụrụ unu ndị ohu, ma ọ bụrụkwanụ
na m etigbuo ya, unu ga-abụrụ anyị ndị ohu!" 10 Mgbe ahụ, onye Filistia ahụ sịrị,
"Taa, ana m ama usuu ndị agha Izrel aka n'ihu! Kpọpụtaranụ m otu nwoke ka mụ
na ya lụọ ọgụ." 11 Mgbe Sọl na ndị agha Izrel nụrụ ihe onye Filistia a kwuru, ha mara
jijiji tụọkwa oke egwu.
12 Ma Devid bụ nwa Jesi, onye Efrat nke Betlehem dị na Juda. Jesi mụtara ndị ikom
asatọ. N'oge nke Sọl, ọ ghọọla agadi nwoke. 13 Atọ n'ime ụmụ ndị ikom Jesi, ndị
bụ okenye, soro Sọl gaa agha. Aha ha bụ Eliab, ọkpara ya, Abinadab, nwa nke abụọ
na Shama, nwa nke atọ. 14 Devid bụ ọdụdụ nwa. Ụmụnne ya ndị okenye atọ na-eso
Sọl. 15 Ma Devid na-apụ jekwuru Sọl, ma na-alaghachikwa n'ụlọ ịzụ atụrụ nna ya na
Betlehem.
16 Golaịat, onye Filistia na-abịaru nso ụtụtụ na uhuruchi, na-eguzo onwe ya otu a
iri ụbọchị anọ.
17 Otu ụbọchị, Jesi gwara Devid okwu sị, "Bịa ka i wegara ụmụnne gị otu akpa ọka
ndị a e ghere eghe. Chịrịkwa ogbe achịcha iri ndị a chịlara ha. 18 Wegakwara onyeisi
usuu ha, iri chiizi,† ndị a. Chọpụta otu ihe si agara ụmụnne gị‡ natakwa ha ihe ị
ga-egosi anyị na ha dị ndụ." 19 Ha na Sọl na ndị ikom Izrel niile, nọ na ndagwurugwu
Ịla, na-ebuso ndị Filistia agha.
20 Devid biliri njem n'isi ụtụtụ, hapụ igwe atụrụ ya n'aka onye na-elekọta atụrụ,
buru onyinye ndị ahụ gawa dịka Jesi nyere ya n'iwu. Ọ bịarutere ụlọ ikwu ndị Izrel
mgbe ha na-apụ n'ihu agha, ha na-etikwa mkpu agha. 21 Ndị Izrel na ndị Filistia
dokwara onwe ha n'usoro izute onwe ha n'agha, ndị agha megide ndị agha. 22 Devid
hapụrụ ihe ndị ahụ n'aka onye na-elekọta akpa niile, gbara ọsọ gaa n'usoro ndị agha
jụọ ụmụnne ya banyere udo ha. 23 Ma mgbe ha na ya nọ na-akparịta ụka, onye
mmeri n'ọgbọ agha, onye Filistia nke Gat, Golaịat bụ aha ya, sitere n'usoro ndị agha
Filistia pụta, kwuokwa okwu niile ahụ dịka ọ na-ekwu na mbụ. Devid nụrụ ihe o
kwuru. 24 Mgbe ndị Izrel niile hụrụ nwoke a, ha gbara ọsọ pụọ n'ihu ya ma tụọkwa
oke egwu.
25 Ndị Izrel sịrị, "Unu hụrụ nwoke a na-eguzo onwe ya? Ọ bụ ka ọ kparịa nnọọ
ndị Izrel ka o ji apụta? Eze kwere nkwa inye onye ọbụla ga-etigbu ya akụ n'ebe ọ
bara ụba. Ọ ga-akpọnyekwa ya nwa ya nwanyị ka ọ bụrụ nwunye ya, meekwa ka
ndị ezinaụlọ onye ahụ gharakwa ịtụ ụtụ taks ọzọ n'Izrel!"
26 Devid jụrụ ndị ikom nọ ya nso, "Gịnị ka a ga-emere nwoke ga-etigbu onye Filistia
a, meekwa ka mkparị a ghara ịdịrị Izrel ọzọ? Onye ka onye Filistia a a na-ebighị
ugwu bụ, na ọ ga-apụta na-akparị ndị agha Chineke dị ndụ?"
27 Ha gwara ya otu ihe ahụ ha kwuru na mbụ sị ya na ọ bụ ihe ahụ ka a ga-emere
onye gburu ya.

* **17:4** 17:4 Golaịat bụ onye si n'agbụrụ ndị Anak, ndị Joshua kpochapụrụ n'ala Izrel niile, karịakwa ndị fọdụrụ na Gaza, Ashkelọn na Gat. Jos 11:21-22 † **17:18** 17:18 Mmiri ara ehi kpụkọrọ akpụkọ ‡ **17:18** 17:18 Jen 37:14

28 Mgbe Eliab, nwanne Devid nke okenye, nụrụ ka ya na ndị ikom ahụ na-ekwu
okwu, o were iwe dị ọkụ megide ya, jụọ ya sị, "Gịnị ka ị bịara ime n'ebe a? Onye
kwa ka ị hapụrụ atụrụ ole na ole ndị ahụ n'ọzara? Amaara m ụdị nganga dị n'ime
gị na echiche ọjọọ juru gị obi. Ihe ị ji bịa n'ebe a bụ naanị ka ịhụchata ihe na-eme
n'agha."
29 Ma Devid zara sị ya, "Oleekwanụ ihe m mere ugbu a? Adara m iwu n'ihi na m
jụrụ ajụjụ?" 30 Devid chigharịkwara jekwuru onye ọzọ jụọkwa ya otu ajụjụ ahụ. Ọ
natakwara otu ụdị ọsịsa ahụ. 31 N'ikpeazụ, mgbe a matara ihe bụ uche Devid, e mere
ka Sọl mara ihe banyere Devid. Sọl zikwara ozi ka a kpọọ ya.
32 Devid sịrị Sọl, "Ka obi onye ọbụla ghara ịda mba n'ihi onye Filistia a; ohu gị
ga-aga lụso ya ọgụ."
33 Ma Sọl zaghachiri, "Ị pụghị ibuso onye Filistia a agha, megide ya, n'ihi na i bụ
naanị nwantakịrị, ma ya onwe ya bu onye na-ebu agha siterị na mgbe ọ bụ okorobịa."
34 Ma Devid gwara Sọl sị, "Ohu gị bụ onye na-elekọta atụrụ nna ya. Mgbe ọdụm
maọbụ anụ ọhịa bịa bịara buru atụrụ site n'igwe atụrụ ahụ, 35 achụụrụ m ya, tigbuo
ya ma napụtakwa atụrụ ahụ site n'ọnụ ya. Mgbe o biliri imegide m, ejidere m ya n'ajị
ya, tie ya ihe, gbuo ya. 36 Etigburu m ọdụm na anụ ọhịa bịa ahụ, ugbu a, apụkwara
m ime onye Filistia a na-amaghị Chineke otu ihe ahụ, n'ihi na ọ kparịala usuu ndị
agha Chineke dị ndụ! 37 ONYENWE ANYỊ ahụ napụtara m site n'aka ọdụm na anụ ọhịa
bịa ga-anapụtakwa m site n'aka onye Filistia a!"
N'ikpeazụ, Sọl sịrị Devid, "Gaa, ka ONYENWE ANYỊ nọnyere gị."
38 Mgbe ahụ, Sọl yinyere Devid uwe ime ahụ nke ya, yikwasịkwa ya uwe agha igwe,
ma kpukwasị ya okpu bronz n'isi. 39 Devid fanyere mma agha n'ime uwe ahụ, malite
ijegharị ije, n'ihi na ọ maghị otu e si eyi uwe ndị ahụ ejegharị.
Ọ dịghị anya, o gwara Sọl okwu sị, "Agaghị m eyi uwe ndị a n'ihi na o doghị m
ahụ." Ya mere, Devid yipụrụ ha. 40 Emesịa, o were mkpanaka ya n'aka ya, site n'iyi
họpụta nkume ise dị mụrụmụrụ tinye ha n'akpa nta dị n'ime akpa onye ọzụzụ atụrụ
ya. O jidere ebe ya n'aka ya, malite ịpụkwuru onye Filistia ahụ.
41 Onye Filistia ahụ, na-abịa nso na-apụkwute Devid, onye ahụ na-ebu ọta ya na-
agakwa n'ihu ya. 42 O lere Devid anya hụ na ọ bụ naanị nwantakịrị nwoke, onye ahụ
dị mma, onye mara mma ile anya. N'ihi ya, o ledara Devid anya. 43 Ọ sịrị Devid, "Abụ
m nkịta, na i ji mkpanaka na-abịakwute m?" Onye Filistia ahụ ji aha chi niile ya bụọ
Devid ọnụ. 44 Ọ sịrị, "Bịa n'ebe a ka m were anụ ahụ gị mere anụ ufe nke eluigwe
na anụ ọhịa niile ihe oriri!"
45 Ma Devid sịrị onye Filistia ahụ, "I ji mma agha na ùbe igwe na ùbe osisi, na-
abịakwute m, ma eji m aha ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, Chineke nke
usuu ndị agha Izrel ahụ ị kparịrị, na-abịakwute gị. 46 Taa ka ONYENWE ANYỊ ga-
enyefe gị n'aka m. Aga m etigbu gị, bepụkwa gị isi. Taa aga m ewere anụ ahụ ndị
agha Filistia niile nyefee n'aka ụmụ anụ ufe niile nke eluigwe, na ụmụ anụ ọhịa niile
nke ụwa. Ụwa niile ga-amatakwa na Chineke nọ n'Izrel. 47 Ndị niile guzokwa n'ebe a
ga-amata na ONYENWE ANYỊ adịghị eji mma agha maọbụ ùbe azọpụta. N'ihi na agha
a bụ nke ONYENWE ANYỊ, ọ ga-ewerekwa unu niile nyefee anyị n'aka."
48 Mgbe onye Filistia ahụ na-abịa nso ibuso ya agha, Devid jiri ọsọ gbara gaa n'ihu
agha izute ya. 49 Ọ manyere aka n'ime akpa ya wepụta otu nkume, maa ya mata onye
Filistia ahụ n'egedege ihu. Nkume ahụ mikpuru n'egedege ihu ya, ọ dakwara kpuo
ihu n'ala.
50 Otu a ka Devid si jiri ebe na nkume merie onye Filistia ahụ. O gburu onye Filistia
ahụ ma o jighị mma ọbụla n'aka ya gbuo ya.
51 Devid gbaara ọsọ jeruo n'ebe Golaịat dara, mịịrị mma agha ya site n'ọbọ, jiri ya
gbuo ya. O ji ya bepụkwa isi ya!

Mgbe ndị Filistia hụrụ na onye ọka agha ha adaala nwụọ, ha tụghariri gbawa ọsọ.
52 Mgbe ahụ, ndị agha Izrel na Juda tiri mkpu ọṅụ, biliekwa, malite ịchụ ndị Filistia
ọsọ. Ha chụrụ ha ọsọ chụruo ha n'ọnụ ụzọ ama Gat, na n'ọnụ ụzọ ama Ekrọn.
Ndị Filistia nwụrụ anwụ dara nnọọ aghara aghara n'ụzọ Shaaraim nke gawara Gat
na Ekrọn. 53 Emesịa, ndị Izrel lọghachiri bịa kwakọrọ ihe niile dị n'ụlọ ikwu ndị
Filistia, nke ha hapụrụ gbaa ọsọ.
54 Devid buuru isi onye Filistia bulata na Jerusalem. Ma dobe ngwa agha onye
Filistia ahụ n'ime ụlọ ikwu nke ya.
55 Mgbe Sọl nọ na-ele Devid anya ka ọ na-apụ izute onye Filistia ahụ, ọ sịrị Abna,
ọchịagha ya, "Abna, nwa onye ka nwokorobịa ahụ bụ?"
Abna zara sị, "Dịka i si adị ndụ, eze, amaghị m."
56 Eze zara sị, "Chọpụta onye mụrụ nwokorobịa a."
57 Mgbe Devid si n'igbu onye Filistia ahụ lọghachi, Abna duuru ya, dute ya n'ihu
Sọl. Isi onye Filistia a dịkwa n'aka Devid.
58 Sọl jụrụ ya sị, "Nwokorobịa, nwa onye ka ị bụ?"
Devid zara sị, "Abụ m nwa ohu gị nwoke Jesi onye Betlehem."

# 18

*Ekworo Sọl*

1 Mgbe Devid gwasịrị Sọl okwu, ịhụnanya dị ukwuu malitere n'etiti Jonatan na
Devid. Jonatan hụrụ Devid n'anya dịka o si hụ onwe ya. 2 Sọl mere ka Devid nọgide
n'ụlọeze. O kwekwaghị ka ọ laghachi n'ụlọ nna ya. 3 Jonatan na Devid gbara ndụ
n'ihi na Jonatan hụrụ Devid n'anya dịka o si hụ onwe ya. 4 Jonatan yipụtara uwe o
yi n'ahụ nye ya Devid, nyekwa ya uwe ime ahụ ya, na ọ bụladị mma agha ya, ma ụta
ya na eriri ukwu* ya.
5 Devid jeziri ozi niile Sọl ziri ya, o mere ihe niile nke ọma nke a mere na Sọl nyere
ya ọkwa dị elu n'etiti ndị agha ya. Ọnọdụ a dị mma n'anya ndị Izrel nakwa n'anya
ndị agha Sọl.
6 Mgbe ndị agha ahụ na-alọghachite, mgbe Devid gbusịrị onye Filistia† ahụ, ndị
inyom‡ sitere n'obodo niile nke Izrel pụta izute eze Sọl. Ha na-abụ abụ na-ete egwu
ọṅụ, nke ha ji ụbọ akwara na ihe egwu ndị ọzọ na-eti. 7 Dịka ha na-ete egwu, ha bụrụ
abụ sị,
"Sọl egbuola ọtụtụ puku ndị agha
ma Devid egbuola iri puku kwụrụ puku ndị agha."
8 Nke a were Sọl iwe nke ukwuu. O kwuru n'ime onwe ya sị, "Gịnị bụ nke a? Ha
enyela Devid ugwu dịka onye gburu iri puku kwụrụ puku ndị agha, ma mụ onwe m
ka ha nyere naanị ugwu dịka onye gburu ọtụtụ puku ndị agha. Gịnị ọzọ fọdụrụ ya
ugbu a, ma ọ bụghị naanị inweta alaeze?" 9 Site n'ụbọchị ahụ gawa, Sọl malitere ile
Devid anya ọjọọ.
10 N'echi ya, mmụọ ọjọọ Chineke zitere bịara dakwasị Sọl, ọ malitekwara ibu
amụma n'ụlọ ya. Ma Devid kpọrọ ụbọ akwara dịka ọ na-eme mgbe ọbụla. Ma n'oge
a, o nwere ùbe dị Sọl n'aka. 11 Ọ tụrụ ùbe ahụ, kwuo n'obi ya sị, "Aga m atụgide
Devid n'aja ụlọ ahụ." Ma Devid wezugara onwe ya, ugboro abụọ ndị a.
12 Sọl na-atụ Devid egwu, n'ihi na ONYENWE ANYỊ ahapụla Sọl, ma nọnyere Devid.
13 Emesịa, Sọl mere ihe ga-eme ka ọ ghara ịhụkwa Devid anya ọzọ. O mere Devid ka
ọ bụrụ onye na-elekọta puku ndị agha, ndị ọ na-edu na-aga ibu agha. 14 Ma ihe niile
ọ na-eme na-agara ya nke ọma, n'ihi na ONYENWE ANYỊ na-anọnyere ya.§ 15 Mgbe Sọl

* **18:4** 18:4 Maọbụ, belịt † **18:6** 18:6 Ya bụ, Golaịat ‡ **18:6** 18:6 Ọpụ 15:20 § **18:14** 18:14 Jen 39:2,3,23; Jos 6:27; 1Sa 16:18

hụrụ na ọ bụ onye nwere uche nke ọma, ọ tụrụ ya ụjọ. 16 Ma Izrel na Juda niile hụrụ
Devid n'anya, n'ihi na ọ na-edu ha n'agha.
17 Sọl gwara Devid okwu sị ya, “Lee ada m nwanyị Merab. Aga m akpọnye gị ya, ka
ị lụọ ya. Naanị jeere m ozi, lụọkwa agha ONYENWE ANYỊ.” N'ihi na Sọl kwuru n'ime
obi ya sị, “Agaghị m ewelite aka m megide ya. Ka ndị Filistia mee nke ahụ.”
18 Ma Devid sịrị Sọl, “Onyekwanụ ka m bụ, gịnịkwa bụ ezinaụlọ m maọbụ agbụrụ
m n'Izrel, nke m ga-eji bụrụ ọgọ nwoke eze?” 19 O ruo, na mgbe a ga-eduru Merab,
ada Sọl dunye Devid, akpọrọ ya nye Adriel, onye Mehola ka ọ lụọ.
20 N'oge a, a chọpụtara na Mikal, ada Sọl hụrụ Devid n'anya, mgbe e mere ka Sọl
mata nke a, obi tọrọ ya ụtọ. 21 O kwuru n'obi ya sị, “Aga m akpọnye ya nwa m
nwanyị, ka ọ bụrụ ihe ịma n'ọnya nye ya, ka aka ndị Filistia si otu a megide ya.” Ya
mere, Sọl gwara Devid sị ya, “Ugbu a i nwekwara ohere ọzọ ịghọ ọgọ m nwoke.”
22 Sọl nyere ndị ohu ya iwu sị, “Gwanụ Devid okwu na nzuzo sị ya, 'Lee, ihe banyere
gị masịrị eze, ndị niile na-ejere ya ozi hụkwara gị n'anya. Ugbu a, kwerenụ ịbụ ọgọ
ya.' ”
23 Ha gwara Devid okwu ndị a niile. Ma Devid zara sị, “Ọ bụ ihe nta ịbụ ọgọ eze?
Mụ onwe m bụ onye ogbenye, onye a na-amaghị ama.”
24 Mgbe ndị ohu Sọl gwara Sọl ihe Devid kwuru, 25 ọ gwara ha sị, “Gwanụ Devid,
'Eze achọghị ihe ọzọ dịka ụgwọ isi akụ ọbụla karịa naanị narị apị ndị Filistia. Ka ọ
bụrụ ọbọ ọ ga-abọrọ m n'isi ndị iro m.' ” Ma ihe Sọl bu n'obi bụ na a ga-egbu Devid
n'ọgụ ahụ.
26 Mgbe ndị ohu eze gwara Devid ihe eze kwuru, ọ tọrọ ya ụtọ, n'ihi ya, o kwenyere
ịbụ ọgọ eze. Tupu oge ahụ a kara aka eruo, 27 Devid na ndị agha ya pụrụ gbuo narị
ndị Filistia abụọ, werekwa apị ha gosi eze. Sọl kpọnyere Devid Mikal, nwa ya nwanyị,
ka ọ bụrụ nwunye ya.
28 Mgbe Sọl hụrụ na ONYENWE ANYỊ na-anọnyere Devid, hụkwa na Mikal nwa ya
nwanyị hụrụ Devid n'anya, 29 ọ tụrụ Devid ụjọ karịa na mbụ. Sọl kpọkwara Devid
asị, gụọ ya dịka onye iro ụbọchị ndụ ya niile.
30 Ndịisi agha Filistia na-apụta ibu agha dịka ha na-eme mgbe ọbụla, ma Devid
na-eme nke ọma karịa ndị ọchịagha Sọl ndị ọzọ niile. Nke a mere ka Devid ghọọ
onye a mara aha ya n'ala ahụ niile.

# 19

*Sọl agbalịa igbu Devid*

1 Sọl gwara ndị ohu ya na ọkpara ya, Jonatan, ka ha gbuo Devid. Ma n'ihi na ihe
banyere Devid masịrị Jonatan, 2 ọ dọrọ ya aka na ntị, “Nna m Sọl na-achọ ohere igbu
gị. Lezie anya chee ndụ gị nche, ụtụtụ echi, gaa n'ebe ị ga-ezo onwe gị nọdụ n'ebe
ahụ. 3 Mụ na nna m ga-eso bịa n'akụkụ ọhịa ebe ahụ i zoro onwe gị. Aga m agwa ya
okwu banyere gị. Ihe ọbụla m chọpụtara, aga m agwa gị.”
4 Jonatan kwuru okwu ọma banyere Devid nye Sọl nna ya sị ya, “Ka eze ghara ime
ihe ọjọọ megide Devid bụ ohu ya. O nwebeghị ihe ọjọọ o mere gị. N'ezie, ihe niile
o mere bụ ihe baara gị uru nke ukwuu. 5 Ọ kpọrọ ndụ ya asị mgbe o gburu onye
Filistia ahụ. ONYENWE ANYỊ nyekwara ndị Izrel niile mmeri dị ukwuu. Obi dịkwa gị
ụtọ mgbe ị hụrụ nke a. Gịnị mekwaranụ i ga-eji mejọọ nwoke aka ya dị ọcha dịka
Devid, site n'igbu ya ebe ọ bụ na ikpe amaghị* ya?”
6 Sọl ṅara Jonatan ntị ṅụọkwa iyi sị, “Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, agaghị egbu
ya.”

* **19:5** 19:5 Maọbụ, na e nweghị ihe o mere

7 Emesịa, Jonatan kpọrọ Devid gwa ya ihe mere. Jonatan duuru Devid gaa n’ihu
Sọl. Ihe niile dizikwara dịka ọ dị na mbụ.
8 Agha ọzọ dakwara. N’oge a, Devid duuru ndị agha ya pụọ ibuso ndị Filistia agha.
O gburu ọtụtụ n’ime ha, chụọkwa ndị agha Filistia ọsọ.
9 Ma mmụọ ọjọọ Onyenwe anyị zitere bịakwasịrị Sọl dịka ọ nọ n’ime ụlọ ya, ùbe ya
dịkwa ya n’aka. Mgbe Devid na-akpọ n’ụbọ akwara, 10 Sọl tụrụ ùbe ahụ ka ọ tugbuo
Devid n’ahụ aja, ma ọ gbapụrụ site n’ihu Sọl, ma ùbe ahụ manyere n’aja ụlọ ahụ.
Devid gbapụrụ ọsọ zoo onwe ya n’abalị ahụ.
11 Sọl zipụrụ ndị agha ka ha chee ụlọ Devid nche, gbuo ya mgbe ọ pụtara n’ụtụtụ.
Ma Mikal nwunye Devid gwara ya sị, “Ọ bụrụ na ị gbapụghị, zoo onwe gị n’abalị a,
onye nwụrụ anwụ ka ị ga-abụ n’ụtụtụ echi.” 12 Ya mere, Mikal sitere na oghereikuku
wetuo Devid, ebe o si gbapụ. 13 Emesịa, Mikal kwagharịrị ihe ndina Devid, were ihe
a kpụrụ akpụ tụkwasị n’elu ya, werekwa akwa kpuchie ya, tinye ihe ajị ewu n’ebe
isi ya.
14 Mgbe ndị agha ahụ bịaruru ijide Devid na ịkpụgara ya Sọl, Mikal gwara ha sị,
“Ahụ esighị ya ike.”
15 Mgbe ahụ, Sọl zighachiri ndị ahụ azụ n’ebe Devid nọ si ha, “Bute ya na ihe ndina
o dina n’elu ya, ka m gbuo ya.” 16 Mgbe ndị ikom ahụ batara, ha hụrụ ihe a kpụrụ
akpụ ka ọ dị n’elu ihe ndina, hụkwa ajị ewu ka ọ dị n’akụkụ ebe isi nke ihe ndina
ahụ.
17 Sọl jụrụ Mikal sị, “Gịnị mere i ji ghọgbuo m otu a, mee ka onye iro m gbalaga?”
Mikal zara, “Ọ bụ ya sịrị m, ‘Hapụ m ka m pụọ, n’ihi gịnị ka m ga-eji gbuo gị?’ ”
18 Mgbe Devid gbara ọsọ gbalaga, ọ gakwuru Samuel na Rema, kọrọ ya ihe niile Sọl
mere ya. Ya na Samuel gara biri na Naịọt. 19 Ozi ruru Sọl ntị, “Devid nọ na Naịọt
n’ime Rema,” 20 ya mere, o zipụrụ ndị ikom ka ha gaa jide ya. Ma mgbe ha rutere, ha
hụrụ otu ndị amụma ka ha na-ebu amụma, hụkwa Samuel ka ọ na-eguzo n’ebe ahụ
dịka onyeisi ha. Mmụọ nke Chineke bịakwasịrị ndị ozi Sọl ahụ, mee ka ha malitekwa
ibu amụma. 21 Mgbe Sọl nụrụ ihe mere, o zipụkwara ndị agha ọzọ, ma ha onwe ha
bukwara amụma! Otu ihe ahụ mekwara ndị o zipụrụ nke ugboro atọ. 22 N’ikpeazụ
ya onwe ya pụrụ gaa Rema, ruo n’olulu mmiri Seku. Ọ jụrụ, “Ebee ka Samuel na
Devid nọ?”
Ha sịrị, “Ha nọ na Naịọt nke Rema.”
23 Ya mere, Sọl gara Naịọt nke dị na Rema. Ma Mmụọ nke Chineke bịakwasịrị
ya, dịka ọ na-aga n’ụzọ ọ malitere ibu amụma tutu ruo mgbe ọ bịaruru Naịọt. 24 O
yipụrụ uwe ya buo amụma n’ihu Samuel. Ọ gba ọtọ dinara ala n’ebe ahụ ehihie ahụ,
na abalị ahụ niile. Ọ bụ nke a mere ndị mmadụ ji sị, “Sọl ọ ghọọla otu n’ime ndị
amụma?”

# 20

*Devid na Jonatan*

1 Devid sitere na Naịọt n’ime Rema gbapụ ọsọ, chọta Jonatan, sị ya, “Ọ bụ gịnị ka m
mere? Gịnị bụkwa ihe ọjọọ m mere? Olee ụzọ m si mejọọ nna gị, mere o ji na-achọsi
ike ka ọ napụ m ndụ m?”
2 Jonatan sịrị ya, “Nke a abụghị eziokwu. Ị gaghị anwụ! Ihe dị otu a adịghị nna m
n’obi, n’ihi na ọ na-agwa m ihe ọbụla ọ na-ezube ime, ọ bụladị ihe ukwu maọbụ ihe
ntakịrị. Amakwaara m na ọ gaghị ezonarị m ihe dị otu a. Mba, ọ bụghị eziokwu.”
3 Devid ṅụrụ iyi sị, “Nna gị maara nke ọma na m anatala amara n’ebe ị nọ, n’ihi
ya, o kwuola n’ime onwe ya sị, ‘Agaghị m agwa Jonatan, ka ọ ghara iwute ya.’ Ma eji
m Onyenwe anyị na mkpụrụobi gị na-aṅụ iyi na-asị na ọ bụ naanị otu nzọ ụkwụ dị
ugbu a n’etiti mụ na ọnwụ.”

4 Jonatan sịrị Devid, "Ihe ọbụla ị chọrọ ka m mee, aga m emere gị ya."
5 Devid sịrị ya, "Lee echi ga-abụ mmemme ọnwa ọhụrụ, e kwesiri m iso eze rie
nri. Ma hapụ m ka m ga zoo onwe m n'ọhịa tutu ruo uhuruchi nke nwanne echi. 6 Ọ
bụrụ na nna gị ajụọ ase m, sị ya, 'Devid rịọsiri m arịrịọ ike ka m hapụ ya ka ọ gbaga
Betlehem, bụ obodo ya, n'ihi a na-achụ aja nke dịrị agbụrụ ya kwa afọ.' 7 Ọ bụrụ na
ọ sị, 'Ọ dị mma,' mgbe ahụ, udo ga-adịrị ohu gị. Ma ọ bụrụ na o wee iwe nke ukwuu,
mara n'ezie na o zubere ime m ihe ọjọọ. 8 Ma gị onwe gị, meere ohu gị ebere, n'ihi
na i meela ka o sooro gị baa n'ọgbụgba ndụ n'ihu ONYENWE ANYỊ. Ọ bụrụ na ikpe
mara m, gị onwe gị gbuo m. N'ihi gịnị ka ị ga-eji nyefee m n'aka nna gị?"
9 Jonatan sịrị, "Agaghị m eme ya, lee, a sịkwa na m maara na nna m na-achọ igbu
gị, ọ bụ na m agaghị agwa gị?"
10 Devid jụrụ ya, "Onye ga-agwa m ma ọ bụrụ na nna gị aza gị okwu ike ike?"
11 Jonatan sịrị ya, "Bịa ka anyị pụọ gaa n'ọhịa." Ya mere, ha abụọ pụrụ jee n'ọhịa.
12 Jonatan gwara Devid sị, "Eji m aha ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel na-ekwe nkwa
na-asị gị, n'oge ugbu a echi, maọbụ nwanne echi, aga m akpanyere nna m ụka
banyere gị, meekwa ka ị mata ihe ọ na-eche banyere gị. Ọ bụrụ na obi dị ya mma
n'ebe ị nọ, aga m eme ka ị mata. 13 Ma ọ bụrụ na nna m na-achọ imerụ gị ahụ, ka
ONYENWE ANYỊ mesoo Jonatan mmeso, otu ọbụla o si dị njọ, ma ọ bụrụ na m abịaghị
gwa gị, zilaga gị ka ị laa n'udo. Ka ONYENWE ANYỊ nọnyere gị dịka o si nọnyere nna
m. 14 Chetakwa, i ghaghị igosi m ịhụnanya na obi ebere ONYENWE ANYỊ, ma ọ bụrụ
na m anwụọ. 15 E wezugakwala ịhụnanya gị na obi ebere gị site n'ebe ezinaụlọ m dị,
ọ bụladị mgbe ONYENWE ANYỊ bipụchara ndị iro Devid niile site n'elu ụwa."
16 Jonatan na ụlọ Devid gbara ndụ. O kwuru sị, "Ka ONYENWE ANYỊ kpee ndị iro
Devid niile ikpe." 17 Jonatan mere ka Devid site n'ịhụnanya ọ hụrụ ya ṅụọra ya iyi.
N'ihi na Jonatan hụrụ Devid n'anya dịka ọ hụrụ onwe ya.
18 Mgbe ahụ, Jonatan sịrị Devid, "Echi bụ mmemme ọnwa ọhụrụ. A ga-ele anya gị,
n'ihi na ọnọdụ gị ga-atọgbọrọ n'efu. 19 Nwanne echi ya, n'oge uhuruchi, gaa n'ebe
ahụ i zoro onwe gị mgbe nsogbu a malitere, chere n'ebe ahụ, n'akụkụ nkume Ezel.
20 Aga m abịa gbaa àkụ atọ n'akụkụ ya dịka a ga-asị na o nwere ihe m chọrọ iji ụta
m gbata. 21 Emesịa, aga m ezipu otu nwantakịrị sị ya, 'Gaa chọta àkụ ndị ahụ.' Ọ
bụrụ na ị nụ ka m na-agwa ya okwu sị, 'Lee àkụ ndị a dị n'akụkụ azụ gị, chita ha
ebe a,' mgbe ahụ, pụta n'ihi, dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, udo dịrị gị, egwu ọbụla
adịghị. 22 Ma ọ bụrụ na m agwa nwantakịrị ahụ okwu sị ya, 'Lee, àkụ ahụ dị n'ihu
gị,' ọ pụtara na ị ghaghị isi n'ebe a pụọ, n'ihi na ONYENWE ANYỊ ezipụla gị. 23 Ma ihe
banyere okwu ahụ anyị kwuru, cheta na ONYENWE ANYỊ bụ onye akaebe, n'etiti mụ
na gị ruo mgbe ebighị ebi."
24 Ya mere, Devid gara zoo onwe ya n'ọhịa. Mgbe oge mmemme ọnwa ọhụrụ ruru,
eze Sọl nọdụrụ ala iri nri. 25 Ọ nọdụrụ ọdụ n'akụkụ aja ụlọ, bụ ebe ọ dị mbụ anọ,
na ncherita ihu Jonatan. Abna nọdụrụ n'akụkụ Sọl, ma oche Devid na-anọ enweghị
onye nọ ya. 26 Sọl ekwughị ihe ọbụla banyere ya n'ụbọchị ahụ, n'ihi na o chere na ọ
dị ihe ndaba mere, nke tinyere Devid n'ọnọdụ adịghị ọcha.* Sọl kwuru n'obi ya sị,
"E, ọ ghaghị ịbụ ihe kpatara ya." 27 Ma n'echi ya, bụ abalị nke abụọ nke ọnwa ọhụrụ,
ọnọdụ Devid tọgbọrọ n'efu ọzọ. Mgbe ahụ, Sọl sịrị nwa ya Jonatan, "Gịnị mere nwa
Jesi abịaghị iso rie nri, ma ụnyaahụ ma taa?"
28 Jonatan zara sị, "Devid rịọrọ sị m nye ya ike ka ọ gaa Betlehem. 29 Ọ sịrị m,
'Kwere ka m gaa n'ihi na ndị ezinaụlọ anyị nwere aja mmemme ha na-eme n'obodo.
Nwanne m nwoke nyere m iwu sị m na m aghaghị ịbịa. Ọ bụrụ na m ahụta amara
n'ebe ị nọ, biko kwere ka m gaa hụ ụmụnne m.' Ọ bụ nke a mere ọ bịaghị na tebul
eze."

* **20:26** 20:26 Lev 7:20-21; 15:1-5

30 Iwe were Sọl nke ukwuu. Ọ gwara Jonatan okwu n’iwe sị ya, “Gị nwa nke nwanyị
na-enupu isi, nke uche ya gbagọrọ agbagọ. Ị na-eche na m amaghị na i dịnyere nwa
Jesi si otu a wetara onwe gị na nne gị ihe ihere? 31 N’ihi na ụbọchị niile nwa Jesi dị
ndụ n’ụwa a, ọnọdụ gị na alaeze gị agaghị eguzosi ike. Ugbu a, pụọ, zipụ ozi kpọtara
m ya ka m gbuo ya!”
32 Jonatan jụrụ nna ya Sọl sị, “Gịnị ka o mere? N’ihi gịnị ka a ga-eji mee ka ọ
nwụọ?” 33 Ma Sọl tụrụ ùbe o ji n’aka ya ka o jiri ya tugbuo Jonatan, ma Jonatan zere
ya. Nke a mere ka Jonatan mata n’ezie na nna ya na-achọ igbu Devid.
34 Jonatan si na tebul ahụ bilie n’oke iwe pụọ, o righịkwa nri n’ụbọchị nke abụọ
nke mmemme ahụ, n’ihi na omume ihere nna ya mesoro Devid wutere ya hie nne.
35 N’ụtụtụ echi ya, dịka ha kara aka, Jonatan gara n’ọhịa, ya na nwantakịrị nwoke
so gaa. 36 Ọ sịrị nwantakịrị nwoke ahụ, “Gbara ọsọ gaa chọta àkụ ndị ahụ niile m
na-agba.” Mgbe nwantakịrị ahụ na-agba ọsọ na-aga, Jonatan gbapụrụ àkụ, gbafee ya
n’ihu nwantakịrị ahụ. 37 Mgbe nwokorobịa ahụ na-ejeru nso ebe àkụ ahụ Jonatan
gbara dị, Jonatan kpọkuru ya sị ya, “Àkụ ahụ dị n’ihu gị.” 38 Mgbe ahụ, o tiri mkpu
sị, “Mee ngwangwa! Gawa ọsịịsọ! Eguzokwala!” Nwokorobịa ahụ chịkọtara àkụ ndị
ahụ niile gbaghachikwute nna ya ukwu. 39 Ma nwantakịrị nwoke ahụ aghọtaghị ihe
Jonatan mere; ma Jonatan na Devid maara ihe gara. 40 Jonatan nyere nwokorobịa
ahụ ụta ya na àkụ ndị ahụ ka ọ chighachi ha n’obodo.
41 Mgbe nwokorobịa ahụ lara, Devid biliri site n’akụkụ ndịda nkume ahụ ebe o zoro
onwe kpuo ihu ya n’ala, kpọọ isiala ugboro atọ, n’ihu Jonatan. Ha suritere onwe ha
ọnụ, bekọkwaa akwa. Ma Devid kwara akwa karịa.
42 N’ikpeazụ, Jonatan gwara Devid okwu sị, “Gaa n’udo, n’ihi na anyị ejirila aha
ONYENWE ANYỊ ṅụọ iyi ịbụ enyi n’etiti onwe anyị, na-asị, ‘ONYENWE ANYỊ bụ onye
akaebe n’ebe mụ na gị, na n’ebe ụmụ ụmụ m, na ụmụ ụmụ gị nọ ruo mgbe ebighị
ebi.’ ” Ha kewara. Devid malitere ịpụ, ma Jonatan tụgharịrị baa n’obodo.

# 21

*Devid n’obodo Nob*

1 Devid jere n’obodo Nob ịhụ Ahimelek, onye nchụaja. Ahimelek mara jijiji mgbe
ọ hụrụ Devid. Ọ sịrị Devid, “Gịnị mere naanị gị ji bịa? Gịnị mere o nweghị onye so
gị?”
2 Devid zara Ahimelek, onye nchụaja sị, “Eze ziri m ozi dị mkpa, ma sị m, ‘Ka onye
ọbụla ghara ịma ihe ọbụla banyere ozi a m na-eziga gị.’ Ma banyere ụmụ okorobịa
m, agwala m ha ebe ha ga-ezute m. 3 Ugbu a, olee ihe oriri i nwere? Nye m ogbe
achịcha ise maọbụ ihe ọzọ i nwere.”
4 Onye nchụaja ahụ zara Devid sị, “Enweghị m achịcha ana edoghị nsọ n’ebe a. Ma
otu ọ dị, e nwere ụfọdụ achịcha e doro nsọ n’ebe a, ma ọ bụrụ na ụmụ okorobịa gị
na ha so debere onwe ha ọcha, na-emetụghị nwanyị ahụ.”*
5 Devid zara sị ya, “N’ezie, anyị ekwebeghị ka ụmụ nwanyị bịa anyị nso, dịka anyị
dị mbụ eme ma anyị na-eje ozi. Ndị ikom ndị a na-edo onwe ha nsọ ọ bụladị mgbe
njem anyị na-adịghị nsọ ka ọfọdụzie njem nke taa.” 6 Ebe nri ọzọ na-adịghị, onye
nchụaja ahụ nyere Devid achịcha nsọ, bụ achịcha nke iche n’Ihu ONYENWE ANYỊ, nke
ewepụtara site n’ihu ONYENWE ANYỊ n’ime ebe ịchụ aja, debekwa achịcha ọhụrụ nke
e ji gbanwee nke ochie dị n’ebe ahụ.
7 Ma otu onye odibo Sọl nọ n’ebe ahụ n’ụbọchị ahụ, onye e jigidere n’ihu ONYENWE
ANYỊ. Ọ bụ Doeg, onye Edọm onyeisi ndị na-azụ anụ ụlọ Sọl.

* **21:4** 21:4 Ọpụ 25:30; Lev 24:5-9; Mat 12:4.

8 Devid jụrụ Ahimelek ajụjụ sị ya, "I nweghị ùbe maọbụ mma agha n'ebe a? Ewetaghị m mma agha m maọbụ ngwa agha ọzọ, n'ihi na ozi eze ziri anyị dị oke ngwangwa."
9 Onye nchụaja zaghachiri, "Mma agha Golaịat, onye Filistia, onye ahụ i tigburu na ndagwurugwu Ịla dị n'ebe a, a fụchiri ya n'akwa n'azụ efọọd. Ọ bụrụ na ị chọrọ ya, were ya, n'ihi na ọ dịghị mma agha ọzọ dị n'ebe a ma ọ bụghị nke ahụ."

Devid sịrị, "Ọ dịghị nke dịka ya, nye m ya."

### *Devid n'obodo Gat*

10 N'ụbọchị ahụ, Devid gbapụrụ ọsọ site n'ebe Sọl nọ gbakwuru Akish eze ndị Gat.
11 Ma ndị ozi Akish sịrị ya, "Onye a ọ bụghị Devid, eze nke ala ahụ? Ọ bụghị ya bụ isi abụ ha na-abụ mgbe ha na-ete egwu na-asị:

" 'Sọl egbuola ọtụtụ puku ndị iro ya,
Devid egbukwaala iri puku kwụrụ puku ndị iro nke ya'?"

12 Mgbe Devid nụrụ okwu ndị a, ọ tụrụ egwu ihe Akish eze Gat ga-eme ya. 13 N'ihi
ya ọ gbanwere omume ya, bido ime dịka onyeisi na-adịghị mma. O bidokwara ịka akara n'ibo, bidokwa na-agụsasị ọnụ mmiri n'ahụọnụ ya.
14 Akish gwara ndị ozi ya okwu sị ha, "Leenụ nwoke a! Ọ bụ onyeisi mebiri! Gịnị
mere unu ji kpọtara m ya? 15 Ndị na-ayị ara ha kọrọ m, nke mere unu ji kpọtara m nwoke a n'ebe a ka ọ bịa na-eme ka onye na-ayị ara n'ihu m? O kwesiri ka onye dị otu a bata n'ụlọ m?"

## 22

### *Devid n'obodo Adulam na Mizpa*

1 Devid hapụrụ Gat gbaba n'ọgba nkume Adulam. Mgbe ụmụnne ya ndị ikom na
ndị ezinaụlọ nna ya nụrụ nke a, ha jekwuru ya n'ebe ahụ. 2 Ndị ọzọ malitekwara ịbịakwute ya n'ebe ahụ, ndị niile nọ na mkpagbu dị iche iche, ndị ji ụgwọ, na ndị ọchịchị Sọl na-adịghị mma. Ha niile jekwuru ya. Ọ dịghị anya Devid ghọọrọ onyendu ha. Ihe ruru narị mmadụ anọ so ya.
3 Devid sitere n'ebe ahụ jee Mizpa dị na Moab rịọọ eze obodo ahụ sị, "Biko, ị ga-
ekwe ka nna m na nne m pụta bịa biri n'etiti unu tutu ruo mgbe m matara ihe Chineke na-aga imere m?" 4 Ya mere, ọ hapụrụ ha ka ha nọdụ na nke eze Moab. Ha
na ya nọgidere oge niile Devid bi n'ebe ahụ e wusiri ike.
5 Ma Gad onye amụma sịrị Devid, "Anọgidela n'ebe ahụ e wusiri ike, kama laghachi n'ala Juda." Ya mere, Devid biliri gaa n'oke ọhịa Heret.

### *Sọl egbuo ndị nchụaja Nob*

6 Ugbu a Sọl nụrụ na achọtala ebe Devid na ndị ikom na-eso ya nọ. Sọl, onye ji ùbe ya n'aka nọdụrụ ala n'okpuru osisi tamarisk nke dị n'ugwu dị na Gibea. Ndị ozi ya guzokwa gburugburu ya. 7 Sọl gwara ha sị, "Geenụ ntị unu ndị ikom Benjamin! Ọ bụ
unu niile ka nwa Jesi ga-enye ala ubi na ubi vaịnị? Ọ bụ unu niile ka ọ ga-eme ndị ọchịagha na-achị ọtụtụ puku ndị agha, na ọchịagha na-achị ọtụtụ narị ndị agha? 8 Ọ
bụ ya mere unu ji dịnyere ya imegide m? Ọ dịghị onye ọbụla n'ime unu gwara m na nwa m na nwa Jesi gbara ndụ. Ọ dịghị onye ọbụla n'ime unu ihe gbasara m na-emetụ n'obi ịgwa m na nwa m nwoke akpaliela ohu m imegide m, ichebiri m n'ụzọ, dịka o mere n'ụbọchị taa."
9 Ma Doeg onye Edọm, onye so ndị ozi Sọl guzo n'ebe ahụ kwuru sị, "Ahụrụ m mgbe
nwa Jesi bịakwutere Ahimelek, nwa Ahitub na Nob. 10 Ahimelek jụtaara ya ase site
n'aka ONYENWE ANYỊ, ma nyekwa ya ihe oriri na mma agha Golaịat onye Filistia."

11 Mgbe ahụ, eze Sọl zipụrụ ozi nye Ahimelek nwa Ahitub na ndị ezinaụlọ nna ya
niile, ndị bụ ndị nchụaja na Nob. Ha niile bịara guzo n’ihu eze. 12 Sọl gwara ha okwu
sị, “Gee ntị, gị nwa Ahitub.”
Ahimelek zara sị, “Ana m ege ntị, onyenwe m.”
13 Sọl jụrụ ya sị, “Gịnị mere gị na nwa Jesi ji gbaa izu imegide m? Gịnị mere i ji
nye ya nri na mma agha, jụkwaara ya ase site n’aka Chineke? Gịnị mere i ji na-agba
ya ume ka o nupu isi n’ebe m nọ, na ka ọ bịakwa n’ebe a imegide m taa?”
14 Ahimelek zara eze sị, “Onye n’etiti ndị ohu gị niile bụ onye kwesiri ntụkwasị obi
dịka Devid, ọgọ eze, na onyeisi ndị agha na-eche gị nche; ọ bụkwa onye a na-enye
nsọpụrụ dị ukwuu n’ezinaụlọ gị? 15 Nke a ọ bụ ụbọchị mbụ m na-ajụrụ ya ase n’aka
Chineke? Ọ bụghị! Ka eze ghara ibo ohu ya na ezinaụlọ nna m ebubo, n’ihi na ohu
gị amaghị ihe ọbụla banyere okwu a niile.”
16 Ma eze kwuru sị, “Ị ga-anwụ. Ahimelek gị na ezinaụlọ nna gị niile!”
17 O nyere ndị na-eso ya iwu sị ha, “Gbuonụ ndị nchụaja ndị a, n’ihi na ha na Devid
agbaala izuzu; ha makwa na o si n’ihu m na-agbapụ, ma ha agwaghị m!”
Ma ndị agha eze jụrụ isetipụ aka ha megide ndị nchụaja ONYENWE ANYỊ.
18 Mgbe ahụ eze nyere Doeg iwu sị ya, “Gị onwe gị, chigharịa gbuo ha.” Ya mere,
Doeg onye Edọm chigharịrị tigbuo ha. N’ụbọchị ahụ, o gburu iri ndị nchụaja asatọ
na ise, ndị yi uwe akwa ọcha efọọd. 19 O ji mma agha jee Nob, obodo ndị nchụaja,
gbuo ezinaụlọ ndị nchụaja niile, nwoke na nwanyị, na ụmụntakịrị, na ụmụ na-aṅụ
ara. O gbukwara ehi na ịnyịnya ibu na atụrụ ha niile.
20 Otu n’ime ụmụ Ahimelek nwa Ahitub, aha ya bụ Abịata gbapụrụ, gbakwuru
Devid. 21 Ọ gwara Devid na Sọl egbuola ndị nchụaja ONYENWE ANYỊ. 22 Mgbe ahụ,
Devid sịrị Abịata, “N’ụbọchị ahụ, mgbe Doeg onye Edọm nọ n’ebe ahụ, amaara m
na ọ ghaghị ịgwa Sọl. Mụ onwe m kpatara ọnwụ ndị niile nke ndị ezinaụlọ nna gị.
23 Soro m nọdụ n’ebe a, atụla ụjọ, n’ihi na onye na-achọ ndụ gị na-achọkwa ndụ nke
m. Mmekpa ahụ ọbụla agaghị adakwasị gị ma mụ na gị nọdụ.”

# 23

*Devid anapụta obodo Keila*

1 Otu ụbọchị, ozi rutere Devid ntị na ndị Filistia na-ebuso ndị obodo Keila* agha
na-apụnara ha ihe niile ha nwere nke dị n’ebe ịzọcha ọka ha niile. 2 Devid jụrụ
ONYENWE ANYỊ ase sị, “Ọ bụ m jee buso ndị Filistia a agha?”
ONYENWE ANYỊ zara ya, “Gaa, buso ndị Filistia agha, zọpụta Keila.”
3 Ma ndị agha Devid sịrị ya, “Lee, anyị onwe anyị na-atụ egwu ihe a ga-eme anyị,
ọ bụladị n’ime Juda, oleekwanụ otu anyị ga-esi jee buso ndị Filistia niile agha na
Keila?”
4 Devid jụrụ ONYENWE ANYỊ ọzọ, ma ONYENWE ANYỊ zara ya nke ugboro abụọ sị, “Jee,
rịdaruo Keila, n’ihi na aga m anọnyere gị; ị ga-emerikwa ndị Filistia.” 5 Ya mere,
Devid na ndị agha ya gara Keila buso ndị Filistia agha. Ndị agha Devid gburu ọtụtụ
ndị Filistia kpokọrọ igwe anụ ụlọ ha. Ha zọpụtakwara ndị Keila. 6 (Ugbu a, Abịata
nwa Ahimelek chịkwa efọọd n’aka gbadaa, mgbe ọ gbakwujere Devid na Keila).

*Sọl achụso Devid*

7 Mgbe a gwara Sọl na Devid nọ na Keila, o kwuru sị, “Ahaa! Chineke enyefeela
ya n’aka m, n’ihi na Devid e jirila aka ya kee onwe ya agbụ site n’ịbanye n’obodo
nwere ibo ọnụ ụzọ na mkpọrọ e ji akpọchi ha.” 8 Sọl chịkọtara ndị agha ya ịga Keila
ịnọchibido Devid na ndị ikom ya.

* **23:1** 23:1 Jos 15:44; Neh 3:17,18

9 Mgbe Devid nụrụ ihe Sọl na-achọ ime, ọ gwara Abịata onye nchụaja sị ya, “Chịta
efọọd ahụ.”† 10 Devid sịrị, “O! ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel, anụla m na Sọl na-achọ
ịbịa laa Keila na obodo a n’iyi n’ihi m nọ n’ebe a. 11 Ndị nwe Keila ha ga-arara m nye
n’aka Sọl? Ọ bụ ezie na Sọl na-abịa dịka m nụrụ? O! ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel,
biko gwa ohu gị.”
Ma ONYENWE ANYỊ sịrị, “Ọ ga-abịa.”
12 Ọzọkwa, Devid jụrụ sị, “Ndị nwe Keila ha ga-arara m na ndị ikom m nye n’aka
Sọl?”
ONYENWE ANYỊ sịrị, “Ha ga-eme otu a.”
13 N’ihi ya, Devid na ndị ikom ya ọnụọgụgụ ha dị narị ndị ikom isii, hapụrụ Keila
pụọ na-awagharị site n’otu ebe gaa n’ebe ọzọ. Mgbe Sọl nụrụ na Devid esitela na
Keila pụọ, o jekwaghị ebe ahụ ọzọ.
14 N’oge a, Devid nọgidere n’ebe e wusiri ike dị n’ọzara, na n’ala ugwu ugwu nke
ọzara Zif. Ụbọchị niile, Sọl chọgharịrị ya ma Chineke enyefeghị Devid n’aka ya.
15 Mgbe Devid nọ na Horesh, nke dị n’ọzara Zif, ọ natara ozi na Sọl na-abịa igbu
ya. 16 Jonatan, nwa Sọl pụrụ ịchọ Devid. Mgbe ọ hụrụ ya na Horesh, ọ gbara ya ume,
nyere ya aka iguzosi ike n’ime Chineke. 17 Jonatan sịrị ya, “Atụla egwu, nna m Sọl
apụghị ịchọta gị. Ị ga-abụ eze Izrel. Aga m abụkwa onye na-eso gị dịka Sọl nna m
maara nke ọma.” 18 Ha abụọ gbara ndụ n’ihu ONYENWE ANYỊ. Devid nọgidere na
Horesh, ma Jonatan laghachiri n’ụlọ ya.
19 Ma ndị Zif biliri jekwuru Sọl na Gibea sị ya, “Devid o zoghị onwe ya n’etiti anyị
n’ọgba nkume dị n’ọhịa Horesh, n’ugwu Hakila, na ndịda Jeshimọn? 20 Ugbu a, eze
anyị, bịa mgbe ọbụla ị chọrọ, ka anyị gaa jidere gị ya. Ị ga-emekwa ya dịka obi gị sị
chọọ.”
21 Sọl zara ha sị, “ONYENWE ANYỊ gọzie unu n’ihi mmetụta ọnọdụ m na-emetụta
unu n’obi. 22 Gaanụ chọpụta nke ọma ebe ọ na-ezo onwe ya, na onye hụrụ ya,
n’ihi na agwara m na ọ bụ onye aghụghọ. 23 Chọpụtanụ ebe ọ na-ezo onwe ya ma
lọghachikwanụ bịa gwa m ihe unu chọpụtara. Mgbe ahụ, aga m eso unu jee. Ọ bụrụ
na ọ nọ n’ala ahụ, aga m achọpụta ya; e, aga m enyobanye anya chọọ ya n’ikwu niile
nke Juda.”
24 Ha biliri buru Sọl ụzọ gawa Zif. N’oge a, Devid na ndị agha ya nọ n’ọzara Maon,
n’ime Araba, na ndịda Jeshimọn. 25 Sọl na ndị agha ya bịarutere ebe ahụ malite
chọwa Devid. Mgbe a gwara Devid na Sọl na-achọ ya, o duuru ndị agha ya gbada gaa
n’oke nkume ahụ ma nọgide n’ọzara Maon. Mgbe Sọl nụrụ nke a, ọ chụgidekwara
Devid ọsọ gaa n’ebe ahụ.
26 Mgbe ha ruru n’ebe ahụ, Sọl na ndị agha ya nọ n’otu akụkụ ugwu ahụ, Devid na
ndị agha ya nọkwa n’akụkụ nke ọzọ, na-eme ngwa ka ha gbanarị Sọl. Ma Sọl na ndị
agha ya na-abịa nnọọ nso ijide Devid. 27 Ma n’otu mgbe ahụ, onyeozi bịakwutere
Sọl sị ya, “Mee ngwangwa, lọta, n’ihi na ndị Filistia apụtala ibuso Izrel agha.”
28 Ngwangwa, Sọl sitere n’ịchụ Devid chigharịa azụ, lọta ibuso ndị Filistia agha. Site
n’oge ahụ, a kpọrọ ebe ahụ Devid nọ, Sela Hamahlekot, nke pụtara, Nkume Nkewa.
29 Devid si n’ebe ahụ pụọ gaa biri n’ebe e wusiri ike nke En-Gedi, ebe o zoro onwe
ya.

# 24

*Devid edoo Sọl ndụ*

1 Mgbe Sọl sitere n’ịlụso ndị Filistia agha lọta, a gwara ya sị, “Devid nọ n’ọzara
En-Gedi.” 2 Sọl chịịrị puku ndị agha atọ a zụrụ nke ọma site n’Izrel niile, pụọ ịchọ

† **23:9** 23:9 Ọnụ 27:21; 1Sa 23:6; 30:7

Devid na ndị ikom ya n’etiti ọgba nkume, na n’akụkụ ụzọ dị warawara nke Ewu
Ọhịa.
3 Mgbe ọ bịaruru nso n’ọgba atụrụ nke dị n’ụzọ ahụ, otu ọgba nkume dị n’ebe ahụ,
Sọl banyere n’ime ya, ịga mposi. Devid na ndị ikom ya nọ n’ime ime ọgba nkume
ahụ. 4 Ndị ikom Devid sịrị ya, “Ahaa ugbu a bụ oge gị! Taa bụ ụbọchị ahụ ONYENWE
ANYỊ kwuru okwu ya, mgbe ọ sịrị, ‘Aghaghị m inyefe gị onye iro gị n’aka, ka i mee ya
dịka o si masị gị.’ ” Ma Devid ji nwayọọ gaa nso ebe Sọl nọ bipụ ọnụ ọnụ uwe mwụda
ya.
5 Emesịa, obi Devid malitere ịma ya ikpe n’ihi na o bipụrụ ọnụ ọnụ uwe mwụda
Sọl. 6 Ọ gwara ndị ya na ha so okwu sị, “ONYENWE ANYỊ ekwela na m ga-emeso nna m
ukwu, onye ONYENWE ANYỊ tere mmanụ mmeso dị otu ahụ, maọbụ na m ga-eweli aka
imegide ya. N’ihi na onye ONYENWE ANYỊ tere mmanụ ka ọ bụ.” 7 Devid sitere n’okwu
ndị a o kwuru baara ndị so ya mba. O nyeghị ha ohere ibuso Sọl agha. Emesịa, Sọl
hapụrụ ọgba nkume ahụ.
8 Mgbe Sọl si n’ọgba nkume ahụ pụọ ịga n’ihu n’ije ya, Devid sitere n’ime ọgba
nkume ahụ pụta, kpọọ Sọl oku sị ya, “Onyenwe m, eze!” Sọl tụgharịrị ma Devid kpọrọ
isiala nye ya, daa n’ala kpuo ihu ya n’ala. 9 Mgbe ahụ Devid gwara Sọl okwu sị, “Gịnị
mere i ji na-aṅa ntị n’okwu ndị mmadụ na-ekwu, ndị ahụ na-asị Devid na-achọ ụzọ
ọ ga-esi merụọ gị ahụ? 10 Taa, i jirila anya gị hụ na ọ bụghị eziokwu. ONYENWE ANYỊ
nyere gị n’aka m n’ime ọgba nkume ahụ ị banyere, ụfọdụ ndị mụ na ha so gwara m
ka m gbuo gị, ma ahapụrụ m gị ndụ n’ihi na m sịrị, ‘Agaghị m eweli aka m megide
nna m ukwu n’ihi na ọ bụ onye ONYENWE ANYỊ tere mmanụ.’ 11 Lee, nna m, lee iberibe
uwe mwụda gị n’aka m. Ebipụtara m ọnụ ọnụ uwe gị, ma egbughị m gị. Jiri nke a
ghọta ma matakwa na ikpe nnupu isi na ajọ omume megide gị amaghị m. O nweghị
ụzọ m si mejọọ gị, ma ị nọ na-achọsikwa m ike iwere ndụ m. 12 Ka ONYENWE ANYỊ
kpebie n’etiti mụ na gị, ka ONYENWE ANYỊ bọọ ọbọ ihe ọjọọ niile i mere. Ma agaghị m
emetụ gị aka. 13 Dịka ilu ndị mgbe ochie si dị, ‘Ihe ọjọọ na-esi n’aka ndị na-eme ihe
ọjọọ,’ ma agaghị m emetụ gị aka.
14 “Ma onye kwanụ ka eze Izrel na-achọ ijide? Onye ka ọ na-atụfu oge ya ịchọgharị?
Ọ bụ ozu nkịta? Ka ọ bụ akpị? 15 Ka ONYENWE ANYỊ bụrụ onye ikpe n’etiti mụ na gị,
ya kpebiekwa okwu anyị. Ya leba okwu m anya kpepụta m, ya gosi na m bụ onye
ikpe na-amaghị site n’ịnapụta m n’aka gị.”
16 Mgbe Devid kwuchara okwu ndị a, Sọl zara sị ya, “Ọ bụ olu Devid nwa m dị nke
ahụ?” Ọ malitekwara ịkwa akwa. 17 Ọ sịrị Devid, “Ị bụ ezi mmadụ karịa m,* n’ihi
na i jirila ezi omume kwụghachi m ajọ omume m. 18 E, i gosila m oke obi ebere taa,
n’ihi na mgbe ONYENWE ANYỊ nyefere m n’aka gị, ị gbughị m. 19 Ebee ka onye ahụ nọ
n’ụwa niile, nke pụrụ ịhapụ onye iro ya mgbe ọ mara n’ọnya ya? Ka ONYENWE ANYỊ
kwụghachi gị ezi ihe n’ihi obi ebere i gosiri m taa. 20 Ugbu a, amatala m na ị ghaghị
ịbụ eze, ị ga-achịkwa alaeze Izrel. 21 Biko, ṅụọra m iyi n’aha ONYENWE ANYỊ na mgbe
oge ahụ ruru, na ị gaghị egbu ụmụ m, maọbụ hichapụ aha m site n’ezinaụlọ nna m.”
22 Devid ṅụụrụ Sọl iyi. Emesịa, Sọl laghachiri n’ụlọ ya, ma Devid na ndị ikom ya
laghachiri n’ọgba nkume ha.

# 25

### *Devid na Nebal na Abigel*

1 Emesịa Samuel nwụrụ. Izrel niile chịkọtara onwe ha ọnụ zukọta ruo ụjụ n’ihi
ọnwụ ya. Ha liri ya n’ụlọ ya dị na Rema. Emesịa, Devid gara n’ọzara Paran biri n’ebe
ahụ.

---

* **24:17** 24:17 Jen 38:26

2 Otu nwoke dị, onye obodo Maon, onye ikwu Kaleb, nke nwere akụnụba. O nwere
igwe atụrụ dị puku atọ, na otu puku ewu, ndị ọ nọ n'ubi n'oge a na-akpụchapụ ajị
ha n'obodo Kamel. 3 Aha nwoke a bụ Nebal. Nwunye ya kwa, onye bụ nwanyị mara
mma, na onye nwere akọnuche, ka a na-akpọ Abigel. Nwoke a nwere omume ọjọọ;
ọ kwara obi n'azụ, afọ takwara ya mmiri.
4 Mgbe Devid nọ n'ọzara nụ na Nebal na-akpụcha ajị igwe ewu na atụrụ ya, 5 o
zipụrụ ndị ikom iri sị ha. "Jekwurunụ Nebal n'obodo Kamel, jụọ ya otu ihe si aga
n'aha m. 6 Sịnụ ya, ndụ gị, ndụ ogologo, udo na ahụ ike nye gị na ezinaụlọ gị, udo
na ahụ ike nye ihe niile i nwere.
7 " 'Anụla m na ị na-akpacha ajị igwe ewu na atụrụ gị. Oge ndị ọzụzụ atụrụ gị nọ
n'etiti anyị, anyị emejọghị ha, o nweghị ihe ọbụla funarịrị ha oge ahụ niile ha nọrọ
n'obodo Kamel. 8 Jụọkwa ndị ikom gị, ha ga-agwa gị ma ihe m kwuru ọ bụ eziokwu.
Ya mere gosi ụmụ okorobịa ndị a ihuọma, ebe ọ bụ na ha na-abịakwute gị n'oge
mmemme. Biko, nyetụ ndị ohu gị ndị a, na mụ bụ Devid nwa gị, ihe ọbụla aka gị
ruru.' "
9 Ụmụ okorobịa Devid zipụrụ bịarutere zie Nebal ozi Devid ziri ha. Ha
nọgidekwara chere ka onye ha ọsịsa.
10 Ma Nebal jụrụ ha sị, "Onye bụ Devid? Onye bụkwa nwa Jesi a? Ọtụtụ ndị ohu dị
taa bụ ndị na-esi n'aka nna ha ukwu na-agbapụ. 11 M ga-ewere achịcha m, na mmiri
m, na anụ m gburu n'ihi ndị na-akpachara m ajị anụ nye ndị m na-amaghị ebe ha sị
pụta?"
12 Ndị ikom Devid tụgharịrị azụ laghachi ebe ha si bịa. Mgbe ha bịarutere, ha
kọrọ akụkọ banyere okwu niile Nebal kwuru. 13 Devid sịrị ndị ikom ya, "Onye ọbụla
nyara mma agha!*" Ha mere ihe o kwuru. Devid n'onwe ya nyanyekwara mma agha
nke ya. Ihe dị ka narị ndị ikom anọ sooro Devid pụọ, ebe narị mmadụ abụọ ndị ọzọ
nọdụrụ na-eche ụlọ ha nche.
14 Ma otu n'ime ndị ikom Nebal gara kọọrọ Abigel, nwunye Nebal sị ya, "Lee,
Devid esitela n'ọzara zite ndị ozi ka ha nye onyenwe anyị ekele ya, ma ọ kparịrị
ha, baakwara ha mba. 15 Ma ndị ikom ndị a† mesoro anyị mmeso ọma, ha emejọghị
anyị. Oge ahụ niile anyị nọ ha nso n'ọhịa ọ dịghị ihe funarịrị anyị. 16 Ehihie na abalị,
ha bụụrụ anyị mgbidi, ichebe anyị na atụrụ anyị, mgbe ha na-akpa nri n'akụkụ ebe
ha nọ. 17 Ọ dị mma ka ị mata ma marakwa ihe ị ga-eme ngwangwa; n'ihi nsogbu dị
njọ nke na-aga ịdịrị nna anyị ukwu na ezinaụlọ ya niile. N'ihi ọ bụ nwoke jọgburu
onwe ya, na ọ dịghị onye pụrụ ịgwa ya okwu."
18 Abigel mere ngwangwa chịkọta narị ogbe achịcha abụọ, karama akpụkpọ
mmanya abụọ, atụrụ ise e doziri edozi, otu bushel ọka e ghere eghe, otu narị ụyọkọ
mkpụrụ vaịnị a mịkpọrọ amịkpọ na narị achịcha fiig abụọ, bukwasị ihe ndị a niile
n'elu ịnyịnya ibu. 19 Ọ sịrị ụmụ okorobịa na-ejere ya ozi, "Na-aganụ n'ihu, ana m
abịa n'azụ." Ma ọ gwaghị di ya Nebal ihe ọ na-aga ime.
20 Mgbe ọ nọ n'elu ịnyịnya ibu na-agbada ụzọ nke ugwu ahụ ọ hụrụ Devid na ndị
agha ya ka ha na-abịa. O zutere ha 21 ma Devid nọrịị na-ekwu na-asị, "Ọ bụ n'efu ka
anyị nyeere nwoke a aka. Anyị chebere igwe ewu na atụrụ ya n'ọzara; ọ dịkwaghị
otu furu efu, ọ dịkwaghị otu nke e zuru ezu, ma o jirila ajọ omume kwụghachi m
ihe ọma m meere ya. 22 Ka Chineke mesoo Devid mmeso, otu ọbụla mmeso ahụ si dị
njọ, ma ọ bụrụ na m ahapụ otu mkpụrụ nwoke ndụ n'etiti ihe niile o nwere na-eku
ume, mgbe chi echi bọrọ."
23 Mgbe Abigel hụrụ Devid, o mere ngwangwa si n'elu ịnyịnya ibu ya rịda, kpuo
ihu n'ala, kpọọ isiala nye Devid. 24 Ọ dara n'ala n'ụkwụ ya, sị, "Ka ajọ omume ahụ

* 25:13 25:13 Onye ọbụla kee mma agha ya n'ukwu ya † 25:15 25:15 Ndị a bụ ụmụ okorobịa na-ejere Devid ozi.

dịkwasị n'isi‡ ohu gị, onyenwe m. Biko, kwere ka ohu gị gwa gị okwu, gekwaa ntị
n'ihe ohu gị nwere ikwu. 25 Nebal bụ nwoke nwere obi ọjọọ, biko ka onyenwe m
ghara ịgụ ihe ọbụla o kwuru n'ihe. Ọ bụ onye nzuzu, dịka aha ya na-egosi. Aha ya
pụtara nzuzu, nzuzu na-esokwa ya. Ma ahụghị m ndị ozi ahụ i zitere, n'ezie ohu
gị ahụghị ndị ikom onyenwe m zitere. 26 Ugbu a, onyenwe m, dịka Onyenwe anyị
na-adị ndụ ma gị onwe gị na-adịkwa ndụ, ebe ọ bụ na Onyenwe anyị gbochiri gị ka
ị ghara ịba n'ikpe ọmụma nke igbu mmadụ, na iji aka gị bọrọ onwe gị ọbọ, ka ndụ
ndị iro gị na ndị niile na-achọ ime onyenwe m ihe ọjọọ, dịka Nebal. 27 Ma kwerekwa
ka onyinye a, nke ohu gị nwanyị wetaara nna m ukwu, bụrụ nke a ga-enye ndị ikom
na-eso gị.

28 "Biko, gbaghara njehie ohu gị nwanyị, n'ihi na Onyenwe anyị Chineke gị aghaghị
imere onyenwe m alaeze nke ga-adịgide, n'ihi na ọ bụ agha Onyenwe anyị ka ị na-
alụ, agaghị ahụta ajọ omume n'ime gị ogologo ụbọchị ndụ gị niile. 29 Ọ bụ ezie na
mmadụ pụrụ ị na-achụ gị ịnapụ gị ndụ gị, ma ndụ onyenwe m ga-abụ ihe Onyenwe
anyị Chineke gị ga-ekechi na ngwungwu ndị dị ndụ. Ma ndụ ndị iro gị ka ọ ga-atụfu
dịka nkume esi n'akpa e ji efe ebe. 30 Mgbe Onyenwe anyị mezuru nye onyenwe m
ihe ọma niile nke o kwere na nkwa, meekwa ya onyendu ndị Izrel, 31 onyenwe m
agaghị enwe akọnuche nke ga na-esogbu ya n'ihi na o ji aka ya bọọrọ onwe ya ọbọ,
maọbụ nke iwufu ọbara. Mgbe Onyenwe anyị Chineke gị mere ka ihe gaara onyenwe
m nke ọma, chetakwa ohu gị nwanyị."

32 Devid zara Abigel sị ya, "Otuto dịrị Onyenwe anyị, Chineke nke Izrel onye zitere
gị taa ka ị bịa zute m. 33 Ka ngọzị dịrị gị n'ihi ezi uche gị, na n'ihi na i gbochiri m
iwufu ọbara taa, gbochiekwa m iji aka m bọrọ onwe m ọbọ. 34 Ma ọ bụghị otu a,
dịka Onyenwe anyị Chineke nke Izrel na-adị ndụ, bụ onye jidere m site n'imerụ gị
ahụ, ọ bụrụ na ị pụtaghị ngwa izute m, ọ dịghị otu nwoke gaara adị ndụ n'ụlọ Nebal
n'ìhè ụtụtụ echi."

35 Devid naara ya ihe ndị ahụ niile o wetara sị ya, "Laghachi n'ụlọ gị n'udo. Anụla
m ihe i kwuru ma meekwa ihe ị rịọrọ."

36 Mgbe Abigel batara n'ụlọ, o jekwuru Nebal ebe ọ nọ n'oriri ọ kpọrọ, oriri dịka
oriri a na-enwe n'ụlọeze. Ọ ṅụọkwala mmanya ṅụbigakwa ya oke; n'ihi ya ọ gwaghị
ya ihe ọbụla tutu ruo n'ụtụtụ. 37 N'ụtụtụ, mgbe mmanya pụrụ Nebal n'anya, nwunye
ya gwara ya ihe ndị a niile. Nke a mere ka obi ya nwụọ, ka ọ tọgbọrọ dịka nkume.
38 Mgbe abalị iri gafere, Onyenwe anyị tiri Nebal ihe otiti, nke mere ka ọ nwụọ.

39 Mgbe Devid nụrụ na Nebal anwụọla, ọ sịrị, "Otuto dịrị Onyenwe anyị, onye
kpechitere m okwu m megide Nebal n'ihi nlelị anya o leliri m. O gbochiela ohu ya
site n'ime ihe ezighị ezi, ma kwụghachi Nebal ụgwọ mmehie ya."

Mgbe ahụ Devid zigara ndị ozi ka ha gaa jụọ Abigel ma ọ ga-ekwe ị ghọọ nwunye
ya. 40 Ndị ozi Devid bịakwutere Abigel na Kamel zie ya ozi sị, "Devid zitere anyị
bịakwute gị ịlụta gị ka ị ghọọ nwunye ya."

41 Abigel kpuru ihu n'ala sị ya, "Lee ohu gị nwanyị, ejikeere m ijere gị ozi, na
ịsacha ụkwụ ndị na-ejere onyenwe m ozi." 42 Abigel mere ngwangwa jikere, kpọrọ
ụmụ agbọghọ ise na-ejere ya ozi, nọkwasị n'elu ịnyịnya ibu, soro ndị ahụ Devid zitere
lakwuru Devid. Otu a ka Abigel sị ghọọ nwunye Devid. 43 Devid lụkwara nwanyị ọzọ
aha ya bụ Ahinoam,§ onye Jezril. Ha abụọ bụkwa ndị nwunye ya. 44 N'oge a, Sọl
ewerela nwa ya nwanyị Mikal, onye bụ nwunye Devid kpọnye Palti, nwa Laish, onye
obodo Galim, dịka nwunye.

‡ **25:24** 25:24 Gbaghara ịta ụta maọbụ ajọ omume nke ohu gị § **25:43** 25:43 Ahinoam bụ nwunye mbụ Devid, onye mụtara ya ọkpara mbụ ya, a na-akpọ Amnọn. 1Sa 27:3; 2Sa 3:2

# 26

*Devid edebekwa Sọl ndụ ọzọ*

1 Ndị Zif jekwuru Sọl na Gibea gwa ya na Devid na-ezo onwe ya n’ugwu Hakila nke
chere ihu n’ọzara.
2 N’ihi ya, Sọl biliri chịrị puku ndị agha atọ o leziri anya hopụta n’etiti ndị agha
Izrel, duru ha gaa n’ọzara Zif ịchọ Devid. 3 Sọl mara ụlọ ikwu ya n’akụkụ ụzọ ugwu
nta Hakila na ncherita ihu Jeshimọn nke nọ n’okporoụzọ. Ma ka Devid n’onwe ya
nọ n’ime ọzara, ọ hụrụ na Sọl chụụrụ ya bata n’ime ọzara, 4 Devid zipụrụ ndị nledo,
matakwa na Sọl bịara n’ezie.
5 Emesịa, Devid pụrụ jeruo ebe Sọl mara ụlọ ikwu ya. Ọ hụrụ ebe Sọl na Abna
nwa Nea, onyeisi agha dinara ala. Sọl dina n’ime ogige ụlọ ikwu ahụ, ndị agha ya
dinakwara gburugburu ya.
6 Devid sịrị Ahimelek onye Het, na Abishai, nwa Zeruaya* onye bụ nwanne Joab,
“Onye ga-eso m gaa n’ogige ebe Sọl na ndị agha ya mara ụlọ ikwu ha?”
Abishai zara sị, “Aga m eso gị gaa.”
7 Ya mere, n’abalị, Devid na Abishai jiri nwayọọ jeruo ebe ndị agha Sọl mara ụlọ
ikwu ha. Ha hụrụ Sọl ebe o dinara ala na-arahụ ụra. Ùbe ya ka ọ manyekwara n’ala
n’akụkụ ebe isi ya dị. Abna, na ndị agha ndị ọzọ dina gburugburu Sọl na-arahụ ụra.
8 Abishai sịrị Devid, “N’ezie, Chineke enyefeela gị onye iro gị n’aka taa. Ugbu a,
kwere ka m gaa were ùbe magide ya n’ala otu ugboro; agaghị m atụ ya ugboro abụọ.”
9 Ma Devid sịrị Abishai, “Mba egbula ya. Onye ga-eseti aka ya megide onye
ONYENWE ANYỊ tere mmanụ, ghara ị bụ onye ikpe na-amaghị?” 10 Ọ sịrị, “N’ezie
dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, ọ bụ ONYENWE ANYỊ ya onwe ya ga-etida ya, maọbụ
oge ya ga-eru mgbe ọ ga-anwụ, ma ọ bụkwanụ ọ gaa agha, ọ nwụfuo. 11 Ma ONYENWE
ANYỊ ekwela ka m setịpụ aka megide onye ONYENWE ANYỊ tere mmanụ. Ugbu a, weta
ùbe na ihe ịṅụ mmiri nke dị n’akụkụ isi ya, ka anyị si n’ebe a pụọ.”
12 Devid weere ùbe ya na ite mmiri dị n’akụkụ isi Sọl, ha sitere n’ebe ahụ pụọ. Ọ
dịkwaghị onye hụrụ ha. Ọ dịkwaghị onye tetara, n’ihi na ONYENWE ANYỊ mere ka ha
daba n’oke ụra.
13 Mgbe ahụ, Devid pụrụ gafee n’ofe nke ọzọ, guzo onwe ya n’elu ugwu ebe dị
anya, ebe mbara dị n’etiti ya na ha. 14 Devid kpọrọ Abna nwa Nea na ndị agha oku
sị, “Abna, za m oku!”
Abna jụrụ ya sị, “Onye ka ị bụ i ji si otu a na-eti mkpu ịkpọte eze?”
15 Devid sịrị, “N’ezie, ọ bụghị nwoke ka ị bụ? Onye dịkwa ka gị n’Izrel niile? Gịnị
mere i ji hapụ ichezi onyenwe gị eze nke ọma? Otu onye bịara igbu onyenwe gị,
bụ eze. 16 Ihe a i mere adịghị mma. N’eziokwu, dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, gị
na ndị ikom gị kwesiri ọnwụ, n’ihi na gị na ndị gị echebeghị onyenwe unu, bụ onye
ONYENWE ANYỊ tere mmanụ. Ebee ka ùbe eze, na ihe mmiri ọṅụṅụ ya, nke dị n’akụkụ
isi ya dị?”
17 Mgbe ahụ, Sọl matara na ọ bụ olu Devid, ọ sịrị, “Ọ bụ gị nwa m, Devid?”
Devid zara sị ya, “E, ọ bụ olu m, onyenwe m, eze.” 18 Ọ sịkwa, “N’ihi gịnị ka
onyenwe m ji na-achụgharị ohu ya? Gịnị ka m mere? Gịnịkwa bụ ihe ọjọọ ị chọtara
n’aka m? 19 Ugbu a ka onyenwe m eze gee ntị n’okwu ohu ya: Ọ bụrụ na ONYENWE
ANYỊ kpaliri gị imegide m, mgbe ahụ arịrịọ m bụ ka ONYENWE ANYỊ nara onyinye ịnata
ihuọma. Otu ọ dị, a si na ọ bụ ndị mmadụ na-akpali gị imegide m, ka ndị dị otu a
bụrụ ndị a bụrụ ọnụ n’ihu ONYENWE ANYỊ. N’ihi na ha esitela n’oke m nwere n’ihe
nketa ONYENWE ANYỊ chụpụ m, sị m, ‘Gaa fee chi ndị ọzọ ofufe.’ 20 Ugbu a, ekwela ka

* **26:6** 26:6 Zeruya bụ nwanne nwanyị Devid, onye toro ya n’usoro ọmụmụ ha. Nke a dị n’akwụkwọ 1Ih 2:16 Abishai na Joab, ndị bụ ndị ndu ndị agha, tinyere Asahel, bụ ụmụ nwanne nwanyị Devid, n’ihi na ọ bụ Zeruya mụrụ ha, gụọ nke a n’akwụkwọ 2Sa 2:13,18,24

ọbara m bụrụ ihe a wufuru n’ala dị anya, na-abụghị n’ihu ONYENWE ANYỊ. Eze Izrel
apụtala ịchọ akpị dịka m, otu dinta si achọgharị ọkwa n’elu ugwu.”
21 Mgbe ahụ, Sọl zara sị, “Emehiela m. Lọghachi n’ụlọ nwa m Devid. N’ihi na ị
gụrụ ndụ m taa dịka ihe dị oke ọnụahịa. Agaghị m emejọ gị ọzọ. N’ezie, a kpaala m
agwa dịka onye nzuzu, meekwa ihe nke ukwuu na-amaghị ama.”
22 Devid zara ya sị, “Lee ùbe eze, Zie otu n’ime ndị ikom gị ka ọ bịa were ya.
23 ONYENWE ANYỊ na-akwụghachi nwoke ọbụla ezi omume ya na ikwesi ntụkwasị obi
ya. ONYENWE ANYỊ nyere gị n’aka m taa ma ajụla m igbu onye ya o tere mmanụ.
24 Ugbu a, ka ONYENWE ANYỊ zọpụta ndụ m, ọ bụladị dịka m sị zọpụta ndụ nke gị taa.
Ka ọ napụtakwa m site na mkpagbu m niile.”
25 Sọl sịrị Devid, “Onye a gọziri agọzi ka ị bụ nwa m, Devid. Ị ga-eme oke ihe,
bụrụkwa onye na-emeri n’agha.”
Devid sitere n’ebe ahụ pụọ. Sọl laghachikwara n’ụlọ ya.

# 27

*Devid ebiri n’etiti ndị Filistia*

1 Devid chere n’ime onwe ya sị, “Otu ụbọchị Sọl ga-enweta m, bibie m. Ihe ka mma
m ga-eme bụ ịgbaga n’ala ndị Filistia. Nke a ga-eme ka Sọl kwụsị ịchọgharị m ebe
ọbụla n’Izrel. Aga m esikwa otu a, nwere onwe m site n’aka ya.”
2 Ya mere, Devid na narị ndị ikom isii ya, na ezinaụlọ ha, biliri jekwuru Akish nwa
Maok, eze ndị Gat. 3 Devid na ndị agha ya sooro Akish biri na Gat. Onye ọbụla du
ezinaụlọ ya. Devid n’onwe ya du ndị inyom abụọ ya: Ahinoam onye Jezril, na Abigel
onye Kamel, nwunye ochie Nebal. 4 Ọ dịghị anya, Sọl nụrụ na Devid agbalaala Gat,
n’ihi ya ọ kwụsịrị ịchụso ya.
5 Devid gwara Akish sị ya, “Ọ bụrụ na m anatala amara n’ebe ị nọ, ọ ga-adị mma
ka enye m otu obodo n’ime obodo nke ala a, ka m biri. N’ihi gịnị ka ohu gị ga-eji soro
gị biri n’obodo eze?”
6 Akish nyere ya Ziklag, n’ihi ya, Ziklag bụ obodo ndị eze Juda ruo taa. 7 Devid biri
n’oke ala ndị Filistia otu afọ na ọnwa anọ.
8 Devid na ndị ikom ya nọgidere oge ahụ niile na-emegide ndị Geshua, ndị Gizi na
ndị Amalek. (Site na mgbe ochie ndị a bi n’ala ahụ gbatịrị ruo Shua na Ijipt) 9 Mgbe
ọbụla Devid wakporo akụkụ ọbụla, ọ dịghị ahapụ nwoke maọbụ nwanyị ndụ. Ma ọ
na-akpụrụ atụrụ ha, na ehi ha, na ịnyịnya ibu ha, na ịnyịnya kamel ha, nakwa uwe
ha. Emesịa, ọ na-alọghachikwuru Akish.
10 Ọ bụrụ na Akish ajụọ Devid ajụjụ sị, “Ndị ole ka unu busoro agha taa?” Devid ga-
aza sị, “Ọ bụ ndị bi na ndịda Juda”, maọbụ “ndị ndịda Jerahmel”, maọbụ “ndị ndịda
Ken.”* 11 Ma ọ dịghị nwoke maọbụ nwanyị onye ọ hapụrụ ndụ, nke a ga-akpọta na
Gat, n’ihi na o chere n’obi ya sị, “Ha nwere ike ịbịa kwuo megide anyị, sị, ‘Otu a
ka Devid mere.’ ” Otu a ka ọ na-emekwa ọtụtụ oge ahụ niile o bi n’etiti ndị Filistia.
12 Akish kwenyere Devid, kwuo n’obi ya sị, “Devid abụrụla ihe a kpọrọ asị n’ebe ndị
nke ya bụ ndị Izrel nọ. Ọ ga-abụkwara m ohu ruo mgbe niile.”

# 28

1 N’oge ahụ, ndị Filistia chịkọtara ndị agha ha jikere ịlụso ndị Izrel agha. Akish
eze Gat gwara Devid okwu, “Ghọtakwa na gị na ndị agha gị ga-eso mụ na ndị agha
m gaa ibu agha.”
2 Devid zara ya sị, “Ị ga-eji anya gị hụrụ ihe ohu gị ga-eme.”
Akish zara sị, “Ọ dị mma aga m eme gị onye nche m ụbọchị ndụ gị niile.”

* **27:10** 27:10 Ndị Jerahmel bụ ụmụ ụmụ Juda site na nwa nwa ya bụ Hezrọn, 1Ih 2:5,9,25 gụọ ihe banyere ndị Ken n’ihe e depụtara n’akwụkwọ. Nkp 4:11

*Onye mgbaasị Endọ*

3 N’oge a Samuel anwụọla, ndị Izrel niile rukwara ụjụ n’ihi ya, lie ya n’obodo ya
bụ Rema. Sọl achụpụsịakwala ndị niile na-ajụ mmụọ ndị nwụrụ anwụ ase na ndị
dibịa afa site n’ala ahụ.
4 Ndị Filistia zukọtara, bịa maa ụlọ ikwu ha na Shunem, ebe Sọl na ndị Izrel niile
zukọtakwara maa ụlọ ikwu ha na Gilboa. 5 Mgbe Sọl hụrụ igwe ndị agha ndị Filistia,
oke ụjọ jidere ya. 6 Ọ jụrụ ONYENWE ANYỊ ase, ma ONYENWE ANYỊ azaghị ya. Ọ zaghị
na nrọ, maọbụ site n’Urim, maọbụ site n’ọnụ ndị amụma. 7 Mgbe ahụ, Sọl sịrị ndị
na-ejere ya ozi, “Chọtara m nwanyị onye na-ajụ mmụọ ndị nwụrụ anwụ ase, ka m
gakwuru ya jụta ya ase.”
Ha sịrị, “E nwere otu nwanyị dị otu a n’Endoa.”
8 Ya mere, Sọl nwogharịrị onwe ya, yiri uwe ọzọ, o ruo n’abalị, ya na ndị ikom
abụọ gakwuru nwanyị ahụ. Ọ sịrị, “Jụtara m mmụọ ase,[*] kpọlitekwara m onye m
ga-akpọ aha ya.”
9 Ma nwanyị ahụ sịrị ya, “N’ezie gị onwe gị maara ihe Sọl mere. Ọ kwụsịla ndị
niile na-ajụ mmụọ ndị nwụrụ anwụ ase, na ndị dibịa afa site n’ala a. N’ihi gịnị ka iji
a gbara ndụ m ọnya, ime ka m nwụọ?”
10 Ma Sọl jiri ONYENWE ANYỊ ṅụọra ya iyi, “Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, agaghị
ata gị ahụhụ n’ihi ihe a.”
11 Mgbe ahụ, nwanyị ahụ jụrụ, “Onye ka ị chọrọ ka m mee ka ọ rịgokwute gị?”
Sọl sịrị, “Mee ka Samuel rịgokwute m.”
12 Mgbe nwanyị ahụ hụrụ Samuel, o tiri mkpu sị, “Gịnị mere iji ghọgbuo m? Gị
onwe gị bụ Sọl!”
13 Eze sịrị ya, “Atụla egwu! Gịnị ka ị na-ahụ?”
Nwanyị ahụ sịrị, “A hụrụ m chi[†] ka o si n’ala na-arịgopụta.”
14 Sọl jụrụ, “Gịnị ka onye ahụ yiri n’ọdịdị?”
Ọ sịrị, “Ọ bụ agadi nwoke na-arịgota, e ji uwe mwụda kpuchie ahụ ya.”
Mgbe ahụ, Sọl matara na ọ bụ Samuel. O kpuru ihu n’ala, kpọọkwa isiala.
15 Samuel sịrị Sọl, “Gịnị mere i ji esogbu m, site na ịkpọlite m?”
Sọl zara, “Anọ m n’oke nsogbu. Ndị Filistia na-ebuso m agha, ma Chineke
esitekwala n’ebe m nọ wezuga onwe ya. Ọ naghị azakwa m ọzọ, maọbụ site na
ndị amụma, maọbụ site na nrọ. N’ihi ya ka m ji kpọọ gị, ịjụ gị ihe m ga-eme.”
16 Samuel sịrị, “N’ihi gịnị ka i ji na-ajụ m, ebe ọ bụ na ONYENWE ANYỊ ewezugala
onwe ya site n’ebe ị nọ, ghọọkwara gị onye iro? 17 ONYENWE ANYỊ emeela ihe ọ sị na ọ
ga-eme. Ọ napụla gị alaeze gị were ya nye Devid.[‡] 18 Ihe ndị a niile na-aga ịdakwasị
gị n’ihi na i geghị ntị na ndụmọdụ ONYENWE ANYỊ, mgbe o were iwe dị ọkụ megide
ndị Amalek. 19 ONYENWE ANYỊ ga-arara gị na ndị Izrel nyefee n’aka ndị Filistia, echi
gị na ụmụ gị ndị ikom ga-abịa nọnyeere m n’ebe a. ONYENWE ANYỊ ga-ararakwa ndị
agha Izrel nye n’aka ndị Filistia.”
20 Ngwangwa, Sọl dara n’ala, gbatịa onwe ya n’oke egwu, n’ihi okwu ndị a niile
Samuel kwuru. Ike adịghịkwa n’ime ya n’ihi agụụ, ebe ọ bụ na o ribeghị nri ọbụla
ụbọchị ahụ niile.
21 Mgbe nwanyị a hụrụ ọnọdụ Sọl, ọ gwara ya okwu sị ya, “Onyenwe m, lee, ohu
gị rubere isi mee ihe ị sị m mee. Ọ bụkwa ndụ m ka m ji chụọ aja imezu ihe ị rịọrọ
m. 22 Ugbu a, biko, gee ntị n’ihe ohu gị na-aga ịgwa gị. Kwere ka m nye gị nri ka i
rie, ka i nweta ike ị ga-eji laghachi.”
23 Ma Sọl jụrụ iri nri ọbụla.

---

[*] **28:8** 28:8 Dit 18:10-11; 1Ih 10:13; Aịz 8:19 [†] **28:13** 28:13 Maọbụ, mmụọ [‡] **28:17** 28:17 1Sa 15:28

Ma ndị ikom ya na ha so malitere ịrịọ ya tutu ruo mgbe o kwenyere bilie, nọdụ ala
n'elu ihe ndina.
24 Nwanyị ahụ mere ngwangwa gbuo nwa ehi gbara abụba o nwere n'ụlọ ya. O
jikwa ụtụ ọka mee achịcha nke etinyeghị ihe na-eko achịcha n'ime ya, 25 O doziri nri
n'ihu Sọl na ndị ikom ya. Ha rikwara ya. Ha biliri laa n'abalị ahụ.

# 29

*Akish ezighachi Devid Ziklag*

1 Ndị Filistia chịkọtara ndị agha ha bịaruo Afek, ma ndị agha Izrel zukọtara
n'akụkụ isi iyi Jezril. 2 Mgbe ndịisi agha ndị Filistia malitere ịgafesị ha na ndị agha
ha, ụfọdụ n'ime ha du ọtụtụ narị ndị agha, ụfọdụ, ọtụtụ puku ndị agha, Devid na
ndị agha ya so n'azụ, ha na Akish, eze ndị Filistia. 3 Ndịisi agha ndị Filistia jụrụ eze
Akish ajụjụ sị, "Gịnị ka ndị Hibru ndị a na-eme n'ebe a?"
Akish gwara ha sị, "Onye a ọ bụghị Devid, onyeozi si n'aka Sọl eze ndị Izrel gbapụ?
Mụ na ya ebiela ihe karịrị otu afọ, ma achọpụtaghị ihe ọbụla dị njọ n'ebe ọ nọ, site
n'ụbọchị ahụ ọ hapụrụ Sọl ruo ugbu a."
4 Ma ndịisi agha ndị Filistia were iwe megide ya. Ha sịrị ya, "Zilaga nwoke a, ka
ọ laghachi n'ọnọdụ ozi ebe i mere ya onye nlekọta. Anyị na ha agaghị eso jee n'ihu
ọgụ, ma ọ bụghị ya ọ ga-atụgharịa megide anyị n'agha. Olee ụzọ ọzọ ọ ga-esi mee ka
ya na nna ya ukwu dị na mma ma ọ bụghị site n'igbu ndị agha anyị ndị a?" 5 Onye
a ọ bụghị Devid ahụ ndị inyom Izrel ji gụọ egwu sị,
" 'Sọl egbuola ọtụtụ puku ndị iro ya,
ma Devid egbuola iri puku kwụrụ puku ndị iro'?"
6 Ya mere, Akish kpọrọ Devid sị ya, "Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, ị bụ onye
kwesiri ntụkwasị obi. Ọ gaara atọ m ụtọ ka ị soro m buo agha. Site na mgbe ị
bịakwutere m tutu ruo ugbu a, o nweghị mmejọ ọbụla m chọpụtara n'ime gị. Ma
ndịisi anyị anabataghị gị. 7 Ugbu a, laghachinụ azụ, laa n'udo. Unu emeela ihe ọbụla
ga-akpasu ndịisi ndị Filistia iwe."
8 Devid jụrụ Akish, "Ma gịnị ka m mere? Gịnịkwa ka ị hụtara megide ohu gị site
n'ụbọchị m bịakwutere gị ruo taa? Gịnị ga-eme ka m ghara ịlụso ndị iro onyenwe
m, bụ eze agha?"
9 Akish zaghachiri, "Ama m n'onye dị mma ka ị bụ n'anya m, dịka mmụọ ozi
nke Chineke. N'agbanyeghị nke a, ọchịagha ndị Filistia asịla, 'Ọ gaghị eso anyị jee
n'agha.' 10 Ya mere, bilie n'isi ụtụtụ, gị na ndị ọrụ onyenwe gị ndị soro gị bịa, bilienụ
n'isi ụtụtụ laghachi mgbe ìhè dịrị unu."
11 Devid na ndị ikom na-eso ya biliri n'isi ụtụtụ ịlaghachi n'ala ndị Filistia. Ma ndị
agha ndị Filistia gara n'ihu jeruo Jezril.

# 30

*Devid ebibie ndị Amalek*

1 Mgbe Devid na ndị ikom ya rutere obodo Ziklag n'ụbọchị nke atọ, ha hụrụ na
ndị Amalek abịala wakporo bi n'akụkụ ndịda Negev na Ziklag. Ha buru agha megide
Ziklag, gbaa obodo ahụ ọkụ, 2 dọtakwa ndị inyom na ndị niile bi n'ime ya n'agha,
ma okenye ma ụmụntakịrị. Ha egbughị ha egbu, kama ha buuru ha laa.
3 Mgbe Devid na ndị ikom ya ruru Ziklag, ha hụrụ na-esuola ya ọkụ, dọkpụrụ ndị
inyom ha, na ụmụ ndị ikom na ndị inyom n'agha. 4 Ya mere, Devid na ndị ikom ya
kwara akwa ruo mgbe ike akwa gwụrụ ha. 5 Ndị inyom abụọ Devid, Ahinoam onye
Jezril na Abigel, nwunye ochie Nebal onye Kamel, sokwa na ndị a dọtara n'agha ahụ.
6 Ihe a wetaara Devid oke nsogbu, n'ihi na ndị ikom ya nọ na-ekwu okwu iji nkume

tugbuo ya; ha niile nọ n’obi ilu n’ihi ụmụ ha ndị ikom na ndị inyom. Ma Devid
chọtara ike n’ime ONYENWE ANYỊ Chineke ya.

7 Devid sịrị Abịata, bụ onye nchụaja, nwa Ahimelek, “Chịtara m efọọd ahụ.” Ya
mere, Abịata chịtara ya nye ya 8 Mgbe ahụ, Devid jụrụ ONYENWE ANYỊ ase sị, “Ọ bụ m
chụso ndị a na-apụnara ndị mmadụ ihe? Ọ bụrụ na m achụso ha, aga m ejide ha?”

ONYENWE ANYỊ zara, “E, chụso ha ọsọ, ị ga-achụkwute ha, ma nataghachikwa ihe
niile ha were.”

9 Mgbe ahụ, Devid na narị ndị agha isii ya bịarutere n’ọdọ mmiri Beso, ebe
ha hapụrụ ụfọdụ ndị 10 narị ndị ikom abụọ n’ime ha enwekwaghị ike ịgafe
ndagwurugwu Beso n’ihi ike ọgwụgwụ, ma Devid na narị anọ ndị ọzọ chụsoro ha.

11 Ha hụrụ otu nwokorobịa onye Ijipt n’ọhịa, duuru ya bịakwute Devid. Ha nyere
ya mmiri ka ọ ṅụọ, nyekwa ya nri ka o rie. 12 Ihe ha nyere ya bụ achịcha fiig,[*] na
ụyọkọ mkpụrụ vaịnị abụọ nke a mịkpọrọ amịkpọ. Mgbe o richara ha, o nweghachiri
onwe ya, n’ihi na o ribeghị nri ọbụla, maọbụ ṅụọ mmiri ọbụla ụbọchị atọ, ehihie na
n’abalị.

13 Mgbe ahụ, Devid jụrụ ya sị, “Ị bụ onye? Ebeekwa ka i si bịa?”

Ọ zara Devid sị, “Abụ m onye Ijipt, bụrụkwa ohu onye Amalek. Onyenwe m hapụrụ
m n’ebe a abalị atọ gara aga n’ihi na ahụ adịghị m ike. 14 Anyị si obodo ebe anyị
gara lụọ agha na-alọghachi mgbe ha hapụrụ m n’ebe a. Anyị gara lụgbuo obodo
ndị Keret,[†] nke dị n’ime Negeb, na obodo dị na ndịda ala Juda na ala Kaleb. Anyị
gbakwara obodo Ziklag ọkụ.”

15 Devid jụrụ ya sị, “I nwere ike duru m gaa ebe ha nọ.”

Nwokorobịa ahụ zara ya sị, “Ọ bụrụ na ị ga-aṅụ iyi n’aha Chineke na ị gaghị egbu
m maọbụ were m nyeghachi onyenwe m, aga m eduru gị gaa ebe ha nọ.”

16 O duuru ha jee n’ebe ndị Amalek nọ. Mgbe ha ruru ebe ahụ, ha hụrụ ha ebe
ha tụsara onwe ha n’ala na-eri na-aṅụ, na-etekwa egwu ọṅụ, n’ihi ihe dị ukwuu
ha kwatara n’agha site n’ala ndị Filistia, na n’ala Juda. 17 Devid na ndị agha ya
bịakwasịrị ha na mberede gbuo ha site n’abalị ahụ ruo anyasị echi ya. Ọ dịkwaghị
otu nwoke n’ime ha fọdụrụ ndụ ma ọ bụghị narị ndị ikom anọ makwasịrị n’elu
ịnyịnya kamel ha gbalaga. 18 Devid nwetaghachiri ihe niile ndị Amalek kwatara
n’agha, tinyere ndị inyom ya abụọ. 19 O nweghị ihe furu efu, ma nke ukwu ma
nke nta, ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom, ihe a kwatara n’agha, maọbụ ihe ọbụla
ọzọ ndị Amalek dọtara n’agha. Devid nwetaghachiri ihe niile. 20 Ọzọkwa, Devid
chịkọtara igwe ehi na igwe ewu na atụrụ. Ndị ikom ya chịịrị ha, tinyere anụ ụlọ ndị
ọzọ, na-aga, na-asị, “Ndị a bụ ihe Devid kwatara n’agha.”

21 Emesịa, Devid bịarutere ebe narị ndị ikom abụọ ndị ahụ nọ na Ndagwurugwu
Beso. Ndị a bụ ndị ahụ na-enweghị ike iso Devid n’ihi na ike gwụrụ ha. Ha pụtara
zute Devid na ndị so ya. Mgbe Devid na ndị ikom ya bịara ha nso, ọ jụrụ ha otu ha
mere. 22 Ma ndị ikom ọjọọ ahụ niile, na ndị okwu na ụka nọ n’etiti ndị na-eso Devid
sịrị, “N’ihi na ndị a esoghị anyị jee, ya mere ha agaghị eso anyị keta ihe ndị a anyị
kwatara n’agha. Nyeghachi ha naanị nwunye ha na ụmụ ha; gwakwa ha ka ha laa.”

23 Ma Devid sịrị, “Mba, ụmụnna m, unu ekwesighị isi otu a kee ihe ndị ahụ ONYENWE
ANYỊ nyere anyị. O chebere anyị, nyefee n’aka anyị ndị agha ahụ niile bịara imegide
anyị. 24 Unu chere na ọ dị onye ga-ege unu ntị mgbe unu na-ekwu okwu dị otu a?
Anyị niile ga-eketa oke; oke ndị jere agha na ndị chebere ihe anyị ga-abụ otu.” 25 Site
n’ụbọchị ahụ, Devid mere ka nke a bụrụ iwu nye ndị Izrel niile ruo taa.

[*] **30:12** 30:12 1Sa 25:18 [†] **30:14** 30:14 Ndị Keret, ha na ndị Filistia nwere ka ha si bụrụ nwanne Zef 2:5 Ma ndị Keret mesịrị soro Devid na-alụ agha 2Sa 15:18; 20:7; 1Ez 1:38,44

26 Mgbe ha rutere Ziklag, Devid weere ụfọdụ ihe ha kwatara n'agha zigara ndị
okenye Juda, ndị bụ ndị enyi ya, na-asị, "Lee onyinye ewetaara unu site n'ụfọdụ
n'ime ihe anyị kwatara site n'aka ndị iro ONYENWE ANYỊ."
27 O zigara ha nye ndị bi na Betel, Ramọt Negev na Jatịa, 28 nyekwa ndị nọ Aroea,
Sifmot, Eshtemoa 29 na Rakal, nyekwa ndị bi n'obodo ndị Jerameel na nke ndị Ken,
30 nyekwa ndị bi na Homa, Bo Ashan, Atak 31 na Hebrọn na ndị nọ n'ebe niile ndị
ahụ ebe Devid na ndị ya wagharịrị.

# 31

*Ọnwụ Sọl na ụmụ ya*

1 N'oge a, ndị Filistia lụsoro ndị Izrel agha, ndị Izrel si n'ihu ha gbaa ọsọ, ma
ọtụtụ n'ime ha nwụrụ n'ugwu Gilboa. 2 Ndị Filistia ji ike chụso Sọl na ụmụ ya. Ha
gburu ụmụ ya ndị ikom, Jonatan, Abinadab na Malkishua. 3 Agha ahụ siri ike nke
ukwuu megide Sọl, mgbe ndị na-agba ụta chụkwutere ya ha merụrụ ya ahụ n'ebe ọ
dị ukwuu.
4 Sọl gwara onye na-ebu ngwa agha ya, sị, "Mịpụta mma agha gị, were ya magbuo
m ka ndị a a na-ebighị ugwu ghara ịbịa jiri m mee ihe egwuregwu."
Ma onye na-ebu ngwa agha ya ekweghị, n'ihi ọnọdụ oke egwu. N'ihi ya, Sọl were
mma agha nke ya, dakwasị n'elu ya. 5 Mgbe onye na-ebu ihe agha Sọl hụrụ na ọ
nwụọla, ya onwe ya dakwasịkwara n'elu mma agha nke ya, soro Sọl nwụọ. 6 Ya
mere, Sọl na ụmụ ya ndị ikom atọ, onye na-ebu ihe agha ya na ndị agha ya niile,
nwụrụ n'otu ụbọchị ahụ.
7 Mgbe ndị Izrel nọ n'ofe ọzọ nke ndagwurugwu, na ndị nọ n'ofe Jọdan, hụrụ na
ndị agha Izrel agbaala ọsọ, na Sọl na ụmụ ya ndị ikom anwụọla, ha hapụrụ obodo
ha niile gbapụ ọsọ. Ndị Filistia bịakwara bichie n'ime ha.
8 N'echi ya, mgbe ndị Filistia bịara iyipụ ndị nwụrụ anwụ ihe ha ga-achịkọrọ, ha
hụrụ ozu Sọl na nke ụmụ ya ndị ikom atọ ka ha tọgbọ n'ugwu Gilboa. 9 Ha bipụrụ
Sọl isi, yipụkwa ya ihe agha ya. Ha zipụkwara ndị ozi gara n'ala ndị Filistia niile
ikwusa akụkọ ihe mere n'ụlọ arụsị ha nakwa n'etiti ndị ha niile.* 10 Ha tinyere ihe
agha Sọl n'ụlọ Ashtọret, kpọgidekwa ozu ya n'aja ụlọ mgbidi obodo Bet-Shan.
11 Mgbe ndị obodo Jebesh Gilead† nụrụ ihe ndị Filistia mere Sọl, 12 ndị ikom ha
niile bụ ndị dimkpa, gara njem ogologo abalị ahụ niile jeruo Bet-Shan. Ha sitere n'elu
mgbidi obodo Bet-Shan tọda ozu Sọl na nke ụmụ ya ndị ikom buru ha laa Jebesh ebe
ha nọ kpọọ ozu ha ọkụ. 13 Ha liri ọkpụkpụ ha n'okpuru osisi Tamarisk dị na Jebesh,
buo ọnụ ụbọchị asaa.

* **31:9** 31:9 Nkp 16:23-24; 2Sa 1:20 † **31:11** 31:11 1Sa 11:1-13

# 2 Samuel

*Devid anụ maka ọnwụ Sọl*

[1] Mgbe Sọl nwụsịrị, Devid si ebe ọ gara tigbuo ndị Amalek lọghachi. Devid nọrọ
ụbọchị abụọ na Ziklag. [2] O ruo, n'ụbọchị nke atọ, otu nwoke si n'ọmụma ụlọ ikwu
Sọl bịakwutere ya. Uwe nwoke a yi n'ahụ dọwara adọwa. Isi ya dịkwa aja aja. Ọ
batara daa n'ala n'ihu Devid n'ọnọdụ inye ya nsọpụrụ.
[3] Devid jụrụ ya sị, "Ebee ka i si bịa?"
Nwoke ahụ zara sị, "Esi m n'ọmụma ụlọ ikwu ndị Izrel gbapụta."
[4] Devid jụrụ ya sị, "Gịnị mere? Biko gwa m."
Nwoke ahụ zara sị, "Ndị agha Izrel niile agbaala ọsọ. Ọtụtụ n'ime ndị agha Izrel
anwụọkwala. Sọl na Jonatan nwa ya nwụkwara!"
[5] Devid jụrụ ya sị, "Olee otu i si mata na Sọl na Jonatan anwụọla?"
[6] Nwokorobịa ahụ sịrị ya, "Ọ dapụtara na m nọ n'ugwu Gilboa hụ Sọl mgbe ọ
dabeere n'ùbe ya. Mgbe ahụ ụgbọ agha ndị iro na ndị na-agba ịnyịnya agha na-esosi
ya ike. [7] Mgbe ọ hụrụ m, ọ kpọrọ m ka m bịakwute ya. Azara m ya sị, 'Gịnị ka m
nwere ike ime?'
[8] "Ọ jụrụ m sị, 'Ị bụ onye?'
"Azara m ya sị, 'Abụ m onye Amalek.'
[9] "Ọ sị m, 'Biko, bịa guzo n'akụkụ m ka ị gbuo m, n'ihi na ọ bụ ezie na m dị ndụ,
ma anọ m nnọọ n'oke ihe mgbu nke ọnwụ.'
[10] "Ya mere, eguzoro m n'akụkụ ya, gbuo ya, n'ihi na amaara m na ọ gaghị adị
ndụ tee anya. Ọ bụkwa mgbe m gbusịrị ya ka m kpupụrụ ya okpueze dị ya n'isi,
gbapụtakwa ya mgbaaka dị n'ogwe aka ya, chịrị ha, ka m chịtara gị ha, onyenwe
m."
[11] Mgbe Devid na ndị ikom ya nụrụ ihe ndị a. Ha dọwara uwe ha. [12] Ha ruru ụjụ.
Kwaa akwa. Bukwaa ọnụ ruo oge anyasị n'ihi Sọl na Jonatan nwa ya nwoke, na n'ihi
ndị agha ONYENWE ANYỊ na ụlọ Izrel. N'ihi na ha dara site na mma agha.
[13] Mgbe ahụ, Devid jụrụ nwokorobịa ahụ wetara ozi ahụ ajụjụ sị, "Olee ebe i si
bịa?"
Ọ zara sị ya, "Abụ m onye ọbịa, onye Amalek."
[14] Devid jụrụ ya sị, "Gịnị mere i ji setịpụ aka gị, na-atụghị ụjọ, tigbuo onye ONYENWE
ANYỊ tere mmanụ?"
[15] Devid kpọrọ otu n'ime ndị ikom ya sị ya, "Gbuo ya!" Nwoke ahụ weere mma
agha gbuo ya. [16] Mgbe ahụ Devid sịrị ya, "Ọbara gị laa gị n'isi, n'ihi na ị ji ọnụ gị
kwupụta sị, 'Egburu m onye ONYENWE ANYỊ tere mmanụ.' "

*Abụ akwa Devid maka Sọl na Jonatan*

[17] Emesịa, Devid depụtara abụ akwa a n'ihi Sọl na Jonatan. [18] O nyere iwu ka
akụziere ndị Juda, abụ ùta a. E dere ya n'ime akwụkwọ Jesha.
[19] "Ebube gị, gị Izrel, abụrụla ihe e gburu n'ebe gị niile dị elu.
Lee ka ndị bụ dike si daa!

[20] "Ekwutela ya na Gat.*
Ekwusala ya n'okporoụzọ Ashkelọn.†
Ka ada ndị Filistia ghara ịṅụrị ọṅụ.
Ka ụmụ inyom ndị a na-ebighị ugwu ghara iti mkpu ọṅụ.

---

* **1:20** 1:20 Obodo Gat na Ashkelọn dị n'ala Filistia. 1Sa 6:17; 1Sa 27:2 † **1:20** 1:20 Otu obodo n'ime ala ndị Filistia Jer 25:20

21 “Unu ugwu Gilboa,
ka igirigi maọbụ mmiri ozuzo ghara ịbịakwasị unu.
Ka mmiri ozuzo gharakwa izokwasị n’aja mbuli elu unu.‡
N’ihi na n’elu unu ka a nọ merụọ ọta§ ndị dị ike.
E, ọta Sọl, nke a na-adịghị etekwa mmanụ.

22 “Site n’ọbara ndị e gburu egbu,
site n’anụ ahụ ndị dị ike.
Ụta Jonatan alọghachighị azụ.
Mma agha Sọl agbaghịkwa aka lọghachi.
23 Sọl na Jonatan,
na ndụ ha bụ ndị a hụrụ n’anya. Ndị jupụtara n’amara.
Ma n’ọnwụ, nkewa ọbụla adịghị n’etiti ha.
Ha dị gara gara karịa ugo.
Ha dị ike karịa ọdụm.

24 “Ụmụada* Izrel,
kwaaranụ Sọl akwa.
Onye na-eji uwe uhie uhie chọọ unu mma.
Onye ji uwe na ihe ịchọ mma ọlaedo chọọ unu mma.

25 “Lee ka ndị dị ike si daa n’etiti ọgbọ agha.
E gbuola Jonatan n’elu ugwu;
26 ana m eruru gị ụjụ, gị Jonatan, nwanne m
n’ihi na ihe dị oke ọnụahịa ka ị bụụrụ m.
Ịhụnanya† i nwere n’ebe m nọ dị omimi
karịa ịhụnanya ndị nwanyị.

27 “Lee ka ndị dị ike si daa!
Ngwa agha niile abụrụla ihe lara n’iyi!”

# 2

### *Devid abụrụ eze ndị Juda*

1 Dịka oge na-aga, Devid jụrụ ONYENWE ANYỊ ase sị, “M ga-ebili gbagoo n’otu obodo dị na Juda?”

ONYENWE ANYỊ sịrị, “Gbagoo.”

Devid jụkwara, “Olee ebe m ga-agbago?”

ONYENWE ANYỊ zara, “Hebrọn.”

2 Devid na nwunye ya abụọ, Ahinoam onye Jezril, na Abigel nwunye ochie Nebal
onye Kamel gara n’ebe ahụ. 3 Devid kpọkwaara ndị ikom ahụ ya na ha so, onye
ọbụla n’ime ha durukwaara ezinaụlọ ya, ga biri na Hebrọn na obodo ndị ọzọ gbara
ya gburugburu. 4 Ndị ikom Juda bịakwutere Devid na Hebrọn. Tee ya mmanụ ịbụ
eze ebo Juda niile.
Mgbe Devid nụrụ na ọ bụ ndị ikom Jebesh Gilead liri Sọl, 5 o zigaara ha ndị ozi
ka ha sị ha, “Ka ONYENWE ANYỊ gọzie unu n’ihi obiọma unu gosiri site n’ili Sọl, nna

‡ **1:21** 1:21 Ka ubi unu dị n’elu ugwu ghara ịmịpụta mkpụrụ § **1:21** 1:21 Ọ bụ akpụkpọ anụ a mịkpọrọ amịkpọ, nke e tere mmanụ ka e ji eme ọta. Ọ bụ mmanụ ahụ e teere ya, na-eme ka ọ ghara ịma ebu, meekwa ka ọ na-amị amị, i ji gbochie ka àkụ a gbara ghara imife n’ọta ahụ. Ma ọta ndị a, n’ihi na ha amịjuola ọbara n’ebe ọ dị ukwuu, ha adịghị abakwa uru ọta na-aba n’oge agha. * **1:24** 1:24 Maọbụ, Ụmụ ndị inyom Izrel. † **1:26** 1:26 1Sa 18:1-4; 19:2; 20:17

unu ukwu, n'ụzọ kwesiri ekwesi. 6 Ka ONYENWE ANYỊ gosikwa unu obiọma na ikwesi
ntụkwasị obi. Mụ onwe m ga-egosikwa unu otu ụdị amara a, n'ihi ihe a unu mere.
7 Ma ugbu a, bụrụnụ dike na dimkpa, n'ihi na Sọl nna unu ukwu anwụọla. Ọzọkwa,
ndị Juda niile eteela m mmanụ ịbụ eze ha."

### *Agha dara n'etiti ezinaụlọ Devid na Sọl*

8 Ma Abna* nwa Nea, ọchịagha ndị agha Sọl edurularịị Ishboshet, nwa Sọl, dubata
ya n'obodo Mahanaim. 9 Ọ nọrọ n'ebe ahụ mee ya eze ndị Gilead, ndị Ashuri† na ndị
Jezril; na ndị Ifrem, ndị Benjamin na Izrel niile.
10 Ishboshet nwa Sọl gbara iri afọ anọ mgbe ọ ghọrọ eze ndị Izrel. Ọ chịkwara
afọ abụọ. Ma otu ọ dị, ndị Juda niile nọgidere n'okpuru Devid. 11 Ogologo oge niile
Devid chịrị dịka eze ndị Juda na Hebrọn bụ afọ asaa na ọnwa isii.
12 Otu ụbọchị, Abna nwa Nea, duuru ndị agha Ishboshet nwa Sọl site na Mahanaim
jee Gibiọn. 13 Ma Joab,‡ nwa Zeruaya dukwaara ndị agha Devid pụọ izute ha n'ọdọ
mmiri Gibiọn. Otu ndị nọdụrụ ala n'otu akụkụ ọdọ mmiri, ndị nke ọzọ n'akụkụ ọzọ
nke ọdọ mmiri ahụ. Ha cherịtara onwe ha ihu.
14 Abna gwara Joab sị, "Ka ụfọdụ ụmụ okorobịa pụta n'ihu anyị maa aka mgba."
Joab sịrị, "Ka ha pụta."
15 Ha pụtara ka a gụpụtachara ha. Ha dị mmadụ iri na abụọ site n'etiti ndị agha
Benjamin na Ishboshet nwa Sọl, mmadụ iri na abụọ site n'etiti ndị agha Devid.
16 Nwoke ọbụla jidere ibe ya n'isi were mma agha ya manye ya n'akụkụ, si otu a
wetara onwe ha ọnwụ. Ọ bụ nke a mere e ji kpọọ ebe ahụ dị na Gibiọn, Helkat
Hazurim, nke pụtara Ala mma agha.
17 Agha siri ike dara n'ụbọchị ahụ. Ma ndị agha Devid lụgburu Abna na ndị agha
Izrel.
18 Ụmụ Zeruaya atọ nọ n'ebe ahụ, ya bụ, Joab, na Abishai na Asahel. Asahel bụ
nwoke na-agba ọsọ dịka mgbada. 19 Ọ chụwara Abna ọsọ, ọ dịghị mgbe ọ tụgharịrị
gaa n'aka nri maọbụ n'aka ekpe mgbe ọ nọ na-achụ ya ọsọ. 20 Mgbe Abna lere anya
n'azụ hụ ya ka ọ na-abịa, ọ kpọrọ ya oku sị ya, "Ọ bụ gị Asahel?"
Asahel zara sị, "Ọ bụ m."
21 Abna gwara ya okwu sị ya, "Tụgharịa n'akụkụ aka nri maọbụ aka ekpe, jide otu
n'ime ụmụ okorobịa ndị a. Napụ ya ngwa agha ya niile." Ma Asahel akwụsịghị ịchụ
ya ọsọ.
22 Abna gwara Asahel ọzọ sị, "Laghachi azụ. Kwụsị ịchụ m ọsọ! Gịnị mere m ga-eji
tigbuo gị? Olee otu m ga-esi lekwasị nwanne gị Joab anya n'ihu ma m gbuo gị?"
23 Ma Asahel jụrụ ịlaghachi azụ. N'ihi ya, Abna weere isi ùbe ya mapuo ya afọ.
Ùbe ahụ sikwa ya n'azụ pụta. Ọ dara n'ala, nwụọ otu mgbe ahụ. Ndị niile bịaruru
ebe ahụ ọ dara nwụọ kwụsịrị. Ha agakwaghị n'ihu ịchụ ndị ọzọ.
24 Ma Joab na Abishai chụgidere Abna ọsọ. Anwụ adaala mgbe ha bịarutere
n'ugwu nta Ama, nke dị Gịa nso, n'ụzọ e si aga n'ọzara Gibiọn. 25 Ndị ikom Benjamin
chịkọtara onwe ha ọnụ dịnyere Abna. Ha niile guzooro n'elu otu ugwu dịka otu usuu
ndị agha.
26 Mgbe ahụ, Abna kpọrọ Joab oku sị ya, "Ọ bụ ruo ole mgbe ka anyị ga na-eji mma
agha na-egburita onwe anyị? Olee mgbe ị ga-akpọghachi ndị gị ka ha hapụ ịchụ na
igbu ụmụnne ha? Ị maghị na ihe dị otu a ga-eweta obi ilu?"
27 Joab zara sị, "Eji m aha Chineke ṅụọ iyi na-asị na ọ bụrụ na i gbara nkịtị, ndị a
gaara achụso ụmụnna ha ọsọ na-akwụsịghị ruo n'ụtụtụ echi."

---

* **2:8** 2:8 Abna, bụ nwa nwanne nna Sọl. Ọ bụ ọchịagha Sọl, onye gbalịsịrị ike ihu n'ocheeze Sọl dịgidere na-aga n'ihu. 1Sa 14:50; 2Sa 3:6 † **2:9** 2:9 Ndị Ashuri bụ ndị ezinaụlọ si n'ebo Asha Nkp 1:31-32; Jos 19:24-31 ‡ **2:13** 2:13 Dịka Abna, ọchịagha Sọl, bụ nwa nwanne nna ya 1Sa 2:8 Otu a ka Joab, ọchịagha Devid, Abishai na Asahel dị nye Devid. Ha bụ ụmụ nwanne ya nwanyị.

28 Mgbe ahụ, Joab fụrụ opi§ ike ya. Nke a mere ka ndị ya kwụsị ịchụ ndị Izrel. Ha
kwụsịkwara ibu agha.
29 N'abalị ahụ, Abna na ndị ikom ya jere ije gafee ndagwurugwu Jọdan, gabigakwa
osimiri Jọdan, jee ije n'ụtụtụ echi ya tutu ha eruo Mahanaim.
30 Joab kwụsịrị ịchụ Abna ọsọ, ọ chịkọtara ndị agha niile. Mgbe ọ gụrụ ha ọnụ, ọ
chọpụtara na mmadụ iri na itoolu n'ime ndị ikom Devid, tinyere Asahel nwanne ya,
bụ ndị na-alọtaghị agha. 31 Ma ndị ikom Devid gburu narị ndị agha Benjamin atọ na
iri isii, bụ ndị so Abna. 32 Emesịa, Joab na ndị agha ya buuru ozu Asahel gaa lie ya
na Betlehem, n'ili nna ya. Ha jere ije abalị ahụ niile tutu ha erute Hebrọn mgbe chi
bidoro ịbọ.

# 3

1 Agha dị n'etiti ndị ụlọ Sọl na ụlọ Devid dịịrị ruo oge toro ogologo. Ma ka Devid
na-aga n'ihu na-esiwanye ike, ụlọ Sọl na-aga azụ na-ada ada.

### *Ụmụ Devid*

2 A mụtaara ọtụtụ ụmụ ndị ikom nye Devid mgbe ọ nọ na Hebrọn.

Ọkpara ya bụ Amnọn nke, Ahinoam bụ nwanyị Jezril mụrụ.
3 Nke abụọ bụ Kiliab, nke Abigel, nwunye ochie Nebal, onye Kamel mụrụ.
Nke atọ bụ Absalọm, nke Maaka nwa nwanyị Talmai, bụ eze Geshua* mụrụ.
4 Nke anọ bụ Adonaija, nwa nwoke Hagit.
Nke ise bụ Shefataya nwa Abital;
5 nke isii bụ Itream, nwa nwoke Egla nwunye Devid.

Ndị a ka a mụtaara Devid na Hebrọn.

### *Abna adịnyere Devid*

6 O ruo, mgbe agha na-aga n'ihu n'etiti ụlọ Sọl na ụlọ Devid, na Abna nọ na-eme ka
ọnọdụ ya sie ike n'ụlọ Sọl. 7 Ma Sọl nwererịị otu iko nwanyị aha ya bụ Rizpa, nwa
Aịa. Ishboshet jụrụ Abna ajụjụ sị, "Gịnị mere gị na iko nwanyị nna m ji dinaa?"
8 Iwe were Abna nke ukwuu n'ihi ihe Ishboshet kwuru. Ya mere, ọ zara, "Ọ bụ isi
nkịta nke ụlọ Juda ka m bụ? Taa ka m ji obi m niile na-ejere ụlọ nna gị, bụ Sọl, na
ezinaụlọ ya, na ndị enyi ya ozi. Ewerebeghị m gị nyefee n'aka Devid. Ma lee, ugbu
a i na-ebo m ebubo ajọ omume n'ihe metụtara nwanyị a. 9 Ka Chineke mesoo Abna
mmeso, otu ọbụla mmeso ahụ si dị njọ, ma ọ bụrụ na m emereghị Devid ihe ndị ahụ
niile ONYENWE ANYỊ sitere n'ịñụ iyi kwee nkwa inye ya. 10 Ịnapụ ụlọ Sọl alaeze ahụ,
na ime ka ocheeze Devid guzosie ike n'ebe Izrel niile na Juda niile nọ, site na Dan
ruo Bịasheba."† 11 Ishboshet ekwughị ihe ọbụla n'ihi na ọ na-atụ Abna egwu.
12 Ngwangwa, Abna zipụrụ ndị ozi ka ha jekwuru Devid sị ya, "Onye nwee ala a?
Ka mụ na gị gbaa ndụ. Aga m enyere gị aka kpọghachite ndị Izrel ka ha dịnyeere
gị."
13 Devid sịrị, "Ọ dị mma. Mụ na unu ga-agba ndụ. Ma ọ dị otu ihe m chọrọ n'aka
unu. Unu agaghị ahụ ihu m anya ma ọ bụrụ na unu eduteghị Mikal, nwa Sọl, mgbe
unu ga-abịa ịhụ m." 14 Devid ziri Ishboshet nwa Sọl ozi sị ya, "Dulatara m nwunye
m Mikal, n'ihi na ọ bụ narị apị ndị Filistia ka m ji lụtara ya onwe m."

---

§ **2:28** 2:28 Ị fụụ opi ike, nwere ike ị bụ ịkpọsa mbido agha, maọbụ mkpọsa ka a kwụsị agha. Nkp 7:16-20; 2Sa 2:28; 20:22 * **3:3** 3:3 Geshua, bụ otu mpaghara n'alaeze ndị Siria ebe Absalọm gbalagara maka ize ndu. Jos 13:13; 1Sa 27:8; 2Sa 13:37-38; 14:32; 15:8 † **3:10** 3:10 Mgbe ọbụla e kwuru otu a, site na Dan ruo Bịasheba, ọ bụ banyere ndị Izrel niile ka a na-ekwu maka ya. Nke a bụ i site na nsọtụ ebe ugwu ruo na nsọtụ ndịda. Nkp 20:1; 1Sa 3:20; 2Sa 17:11; 1Ez 4:25

15 Na-atụfughị oge, Ishboshet nyere iwu ka e site n'aka di ya bụ Paltiel, nwa Laish,
kpọpụta ya. 16 Mgbe ha du ya na-aga, Paltiel sogidere ya n'azụ na-akwa akwa tutu
ha eruo Bahurim. N'ebe ahụ ka Abna nọ sị ya, "Laghachi ugbu a." Ọ tụgharịrị laa.
17 Abna na ndị okenye Izrel kparịtara ụka. Ọ chetaara ha sị ha, "Ọ dịla anya
kemgbe unu na-achọ ka Devid bụrụ eze unu. 18 Ugbu a meenụ ya, n'ihi na ONYENWE
ANYỊ kweere Devid nkwa, 'Site n'aka ohu m bụ Devid ka m ga-esi zọpụta ndị m bụ
Izrel site n'aka ndị Filistia, nakwa site n'aka ndị iro ha niile.' "
19 Abna gwakwara ndị Benjamin okwu. Emesịa, o jere Hebrọn ịgwa Devid ihe niile
ndị Izrel na ndị Benjamin zubere ime. 20 Abna, ya na iri ndị ikom abụọ so gakwuru
Devid na Hebrọn. Mgbe ha ruru, Devid meere ha oke oriri. 21 Mgbe ahụ, Abna sịrị
Devid, "Ka m gaa ngwangwa ga kpọkọtaa ndị Izrel niile, nye onyenwe m bụ eze, ka gị
na ha gbaa ndụ, ka ị bụrụ eze ndị niile mkpụrụobi gị na-achọsi ike." Ya mere Devid
zilara Abna. Ọ laa n'udo.

### *Joab egbuo Abna*

22 N'otu mgbe ahụ, ndị ikom Devid na Joab si n'ebe ha gara ịpụnara ndị mmadụ
ihe lọta, bukọrọ ọtụtụ ihe nkwata. Ma Abna anọghịkwa na Hebrọn ya na Devid, n'ihi
na Devid ezipụla ya, ọ pụọla n'udo. 23 Mgbe Joab na ndị agha ya lọtara, a kọọrọ ya
na Abna, nwa Nea, bịara hụ eze, na ọ laakwala n'udo.
24 Ya mere Joab jekwuuru eze sị ya, "Gịnị ka i mere? Lee, Abna bịakwutere gị. Gịnị
mere i ji hapụ ya ka ọ laa? Lee ya ugbu a, ọ laala! 25 Ị maara onye Abna nwa Nea
bụ? Ọ bịara ịghọ gị aghụghọ, na inyocha njegharị gị, ịchọpụta ihe niile ị na-eme."
26 Mgbe Joab si n'ihu Devid pụta, o zipụrụ ndị ozi ka ha sochie Abna azụ, gwa ya ka
ọ laghachi. Ha hụrụ ya n'olulu mmiri Sira. O sokwara ha laghachi, ma Devid amaghị
ihe banyere nke a. 27 Mgbe Abna lọghachiri na Hebrọn, Joab duuru ya gaa n'akụkụ
ọnụ ụzọ ama, dịka ọ chọrọ ka ha kparịtaa ụka. Ngwangwa, ọ mịpụtara nwa mma
ya, jiri ya magbuo Abna, n'ihi ịbọ ọbọ ọbara nwanne ya, bụ Asahel.
28 Mgbe emesịrị, Devid nụrụ banyere ya, ọ sịrị, "Aka m dị ọcha, ya na nke alaeze
m n'ihu ONYENWE ANYỊ banyere ọbara Abna, nwa Nea. 29 Ka ikpe ọmụma a dakwasị
Joab n'isi, nakwa ezinaụlọ nna ya niile, ka a gharakwa ịhụ n'ụlọ Joab onye na-adịghị
arịa ọrịa ahụ ihe ntokasị, maọbụ ọrịa ekpenta, maọbụ onye ji mkpara eji akpa akwa,
maọbụ onye ga-anwụ site na mma agha, maọbụ onye ụkọ nri adịghị akọ."‡
30 Ya mere, Joab na Abishai nwanne ya gburu Abna, n'ihi na Abna gburu nwanne
ha Asahel n'agha Gibiọn.
31 Emesịa, Devid kpọrọ Joab na ndị niile so ya sị ha, "Dọwaanụ uwe unu, yikwasị
onwe unu akwa mkpe, jegharịakwanụ n'ọnọdụ iru ụjụ n'ihi Abna." Eze, bụ Devid
n'onwe ya so ndị bu ozu Abna n'azụ. 32 Ha liri Abna na Hebrọn. Eze na ndị Izrel
niile kwara akwa n'akụkụ ili ahụ n'ihi Abna.
33 Eze bụrụ abụ akwa n'ihi Abna, sị,
"O kwesiri ka Abna nwụọ dịka onye nzuzu?
34 E kekwaghị aka gị abụọ ihe.
E kekwaghị ụkwụ gị abụọ agbụ.
Ị nwụrụ dịka onye ndị ajọ omume gburu."
Mmadụ niile bekwara akwa ọzọ n'ihi ya.
35 Mgbe ahụ, ndị mmadụ bịakwutere Devid rịọọ ka o ritụ ihe, mgbe ìhè ụbọchị
ka dị, ma Devid ṅụrụ iyi sị, "Ka Chineke mesoo m mmeso, otu ọbụla mmeso ahụ
si dị njọ, ma ọ bụrụ na m edetụ achịcha maọbụ ihe ọbụla ọzọ ọnụ tutu ruo mgbe
anyanwụ dara."

---

‡ **3:29** 3:29 Dit 21:6-9; 1Ez 2:32-33

36 Ndị mmadụ nụrụ ihe o kwuru, okwu ahụ tọkwara ha ụtọ. N'ezie, ihe niile eze
mere tọrọ ha ụtọ. 37 N'ụbọchị ndị mmadụ niile nọ ebe ahụ ka Izrel niile matara na
eze amaghị ihe banyere ọnwụ Abna, nwa Nea.
38 Devid jụrụ ndị ikom ya ajụjụ sị, "Unu ghọtakwara na onye a dara n'Izrel taa bụ
nwa eze na onye dị mkpa? 39 Ọ bụ ezie na m bụ onye ONYENWE ANYỊ tere mmanụ
ịbụ eze, ma o nweghị ihe m pụrụ ime ụmụ ndị ikom Zeruaya ndị a, n'ihi na ha dị ike
karịa m. Ka ONYENWE ANYỊ kwụghachi onye ọjọọ ihe ọjọọ ọ mere."

# 4

*Ọnwụ Ishboshet*

1 Mgbe Ishboshet nwa Sọl nụrụ na Abna anwụọla na Hebrọn. Ọ tụrụ egwu. Ndị
Izrel tụkwara egwu hie nne. 2 N'oge a, nwa Sọl nwere mmadụ abụọ ndị bụ ndịisi
ndị na-aga apụnara ndị mmadụ ihe. Aha otu onye bụ Baana, aha onye nke ọzọ bụ
Rekab. Ha abụọ bụ ụmụ Rimọn onye Beerọt, nke dị n'ebo Benjamin. A na-agụ ndị
Beerọt dịka ndị Benjamin, 3 n'ihi na ndị Beerọt gbara ọsọ agha gbalaa Gitaim, obodo
ndị Benjamin. Ha bikwa n'ebe ahụ ruo taa dịka ndị ọbịa.
4 (Jonatan nwa Sọl nwere otu nwa nwoke dara ngwụrọ n'ụkwụ ya abụọ. Ọ gbara
afọ ise mgbe akụkọ banyere Sọl na Jonatan si Jezril bịarute ha. Nwanyị na-eku ya
kuuru ya bido ịgbapụ ọsọ, ma dịka ọ na-agba ọsọ, nwantakịrị nwoke ahụ dara n'ala
ghọọ onye ngwụrọ. Aha ya bụ Mefiboshet.)
5 N'oge a, Rekab na Baana ụmụ Rimọn, onye Beerọt bịaruru n'ụlọ Ishboshet n'oge
ehihie, mgbe ọ nọ na-ezu ike. 6 Ha banyere n'ime ime ụlọ, dịka a ga-asị na ha na-aga
iburu ọka wiiti. Mgbe ha banyere n'ebe ahụ, ha mara Ishboshet mma n'afọ. Emesịa,
Rekab na nwanne ya Baana si n'ụlọ ahụ zopu onwe ha.
7 Ha abatala n'ụlọ mgbe Ishboshet dinara n'elu ihe ndina ya, n'ime ụlọ ndina ya.
Mgbe ha machara ya mma, gbuo ya, ha bipụrụ ya isi. Buru isi ya gbalaga. Jee ije
abalị ahụ niile gafee ọzara. 8 Ha buuru isi Ishboshet butere Devid na Hebrọn, sị eze,
"Taa ka ONYENWE ANYỊ bọọrọ onyenwe m eze ọbọ megide Sọl na mkpụrụ ya. Nke a
bụ isi Ishboshet, nwa onye iro gị Sọl, onye chọsịrị ike iwepụ ndụ gị."
9 Ma Devid zara Rekab na Baana ụmụ Rimọn onye Beerọt okwu sị ha, "Dịka
ONYENWE ANYỊ si adị ndụ, onye napụtara m site na nsogbu m niile, 10 mgbe otu onye*
bịakwutere m gwa m na Sọl anwụọla, na-eche n'obi ya na o wetaara m oziọma.
Egburu m ya na Ziklag, si otu ahụ kwụọ ya ụgwọ oziọma ahụ o chere na ọ wetaara
m. 11 Ọ bụladị karịa nke a, mgbe ndị ikom ajọ omume gburu nwoke onye aka ya dị
ọcha n'ụlọ ya, n'elu ihe ndina ya?† M ga-ahapụ ịbọtara onye e gburu egbu ọbọ, si
otu a kpochapụ unu n'ụwa!"
12 Devid nyere ụmụ okorobịa ya iwu ka ha gbuo mmadụ abụọ ahụ. Ha gbukwara
ha. Emesịa, ha bipụrụ aka ha na ụkwụ ha. Were ozu ha kwụba ya n'akụkụ ọdọ
mmiri Hebrọn. Ha wekwaara isi Ishboshet, lie ya n'ili Abna na Hebrọn.

# 5

*Devid abụrụ eze ndị Izrel niile*

1 Mgbe ahụ, ndị ebo Izrel niile bịakwutere Devid na Hebrọn, sị ya, "Lee, ọkpụkpụ
gị na anụ ahụ gị ka anyị bụ. 2 N'oge gara aga, mgbe Sọl bụ eze na-achị anyị, ọ bụ
gị duuru ndị agha Izrel n'ọgụ niile, ma ọpụpụ ma mbata. ONYENWE ANYỊ sịrị gị, 'Ị
ga-azụ ndị m, bụ Izrel, ị ga-abụkwa onye ga-achị ha.' "

* **4:10** 4:10 2Sa 1:2-16 † **4:11** 4:11 Jen 9:5-6; Abụ 9:12

3 Mgbe ndị okenye Izrel niile bịakwutere Devid na Hebrọn, ha na eze Devid gbara
ndụ n’ihu ONYENWE ANYỊ na Hebrọn. Ha tere Devid mmanụ* ịbụ eze Izrel.
4 Devid gbara iri afọ atọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịkwara iri afọ anọ. 5 Ọ chịrị
ndị Juda niile na Hebrọn afọ asaa na ọnwa isii. Chịakwa ndị Izrel na Juda niile mgbe
ọ nọ na Hebrọn na mgbe ọ nọ na Jerusalem iri afọ atọ na atọ,

### *Devid adọta Jerusalem n’agha*

6 Eze na ndị ikom ya zọọrọ ije garuo Jerusalem ibuso ndị Jebus bi n’ebe ahụ agha.
Ndị Jebus gwara Devid sị, “Ị gaghị abata n’ebe a, ọ bụladị ndị ìsì na ndị ngwụrọ nwere
ike ịchụghachi gị azụ.” Ha na-eche sị, “Devid agaghị abata n’ebe a,” 7 n’agbanyeghị
okwu ndị a, Devid dọtara ebe ahụ e wusiri ike nke Zayọn n’agha, ya bụ obodo Devid.
8 N’ụbọchị ahụ, Devid kwuru sị, “Onye ọbụla ga-emeri ndị Jebus ga-esite n’ọnụ
warawara ebe mmiri si abanye n’obodo a banyekwuru ndị ngwụrọ na ndị ìsì a bụ
ndị iro Devid.” Ọ bụ nke a mere ha ji ekwu okwu sị, “Ndị ìsì na ndị ngwụrọ agaghị
abata n’ụlọeze ahụ.”
9 Devid biiri n’ebe ahụ e wusiri ike, kpọọ ya obodo Devid. O wuru akụkụ ebe dị
gburugburu ya, site na Milo baa ruo n’ime ya. 10 Ma ọ gara n’ihu na-adị ukwuu karịa,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ, Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile nọnyeere ya.
11 Hiram bụ Eze Taịa, zitere Devid osisi sida e ji ewu ụlọ, na ndị ǹka osisi, ndị
na-ewu ụlọ. Ha wuuru Devid ụlọeze. 12 Mgbe ahụ, Devid ghọtara na ONYENWE ANYỊ
emeela ka o guzosie ike dịka eze ndị Izrel. Bulikwa alaeze ya elu n’ihi ndị ya Izrel.
13 Mgbe Devid sitere na Hebrọn kwabata na Jerusalem; ọ lụrụ ndị inyom ọzọ,
nwetakwara onwe ya ọtụtụ ndị iko nwanyị. Ọ mụtakwara ọtụtụ ụmụ nwoke na
ụmụ nwanyị. 14 Ndị a bụ aha ụmụ a mụụrụ ya na Jerusalem: Shamua, Shobab,
Netan, Solomọn,† 15 Ibha, Elishua, Nefeg, Jafia, 16 Elishama, Eliada na Elifelet.

### *Devid emerie ndị Filistia*

17 Mgbe ndị Filistia nụrụ na eteela Devid mmanụ ị bụ eze ndị Izrel, ha pụrụ ka
igwe ha niile ha ịchọ ya. Ma Devid nụrụ maka ya, gbadaa n’ime ebe ahụ e wusiri
ike. 18 Ma ndị Filistia bịara, gbasaa onwe ha na Ndagwurugwu Refaim niile. 19 Mgbe
ahụ, Devid jụrụ‡ONYENWE ANYỊ ase sị, “Ọ bụ m gaa buso ndị Filistia agha? Ị ga-enyefe
ha n’aka m?”
ONYENWE ANYỊ zara sị ya, “Gaa, n’ihi na aghaghị m inyefe ndị Filistia n’aka gị.”
20 Ya mere, Devid gara Baal-Perazim, meriekwa ha n’ebe ahụ. O kwuru sị,
“ONYENWE ANYỊ enupula megide ndị iro m n’ihu m, dịka idee mmiri si enupu.” N’ihi
ya, a kpọrọ ebe ahụ Baal-Perazim. 21 Ndị Filistia hapụrụ arụsị niile ha n’ebe ahụ.
Devid na ndị ikom ya chịkọtara ha chipụ.
22 Ma ndị Filistia lọghachiri ọzọ, gbasaa onwe ha na Ndagwurugwu Refaim. 23 N’ihi
nke a, Devid jụrụ ONYENWE ANYỊ ase, ọ zara sị, “Esitekwala n’ihu ha gaa, kama
gaa gburugburu ruo n’azụ ha, buso ha agha na ncherita ihu osisi balsam ndị ahụ.
24 Ngwangwa ị nụrụ ụda ikiri ụkwụ n’elu osisi balsam ndị ahụ, mee ngwa malite
ọgụ, n’ihi na nke a pụtara na ONYENWE ANYỊ eburula unu ụzọ pụọ, itigbu ndị agha
Filistia.” 25 Devid mere dịka ONYENWE ANYỊ nyere ya n’iwu. O tigburu ndị Filistia,
site na Geba ruo Gaza.

## 6

### *Mbubata igbe ọgbụgba ndụ na Jerusalem*

---

* **5:3** 5:3 Otite mmanụ a, bụ nke ugboro atọ a na-ete Devid ịbụ eze ndị Izrel. 1Sa 16:13; 2Sa 2:4 † **5:14** 5:14 Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Batsheba mụtaara Devid 1Ih 3:5 ‡ **5:19** 5:19 1Sa 23:2; 2Sa 2:1; 5:23

1 Emesịa, Devid chịkọtara iri puku ndị agha Izrel atọ a zụziri azụzi, 2 Ya na ndị
ikom ya niile gara Baala n'ime* Juda, isi n'ebe ahụ bugota igbe ọgbụgba ndụ Chineke,
nke akpọkwasịrị Aha ya, bụ aha Onyenwe anyị. Onye pụrụ ime ihe niile, onye na-
anọkwasị n'etiti cherubim. 3 Ha dọkwasịrị igbe Chineke ahụ n'elu ụgbọala ọhụrụ
ehi na-adọkpụ, buputa ya site n'ụlọ Abinadab nke dị n'elu ugwu nta. Ọ bụ Ụza na
Ahio, ụmụ Abinadab, na-edu ụgbọala ọhụrụ ahụ, 4 nke igbe ọgbụgba ndụ Chineke
dị n'elu ya, Ahio butere ụzọ na-aga n'ihu igbe ahụ. 5 Devid na ndị Izrel weere ike ha
niile na-aṅụ ọṅụ n'ihu Onyenwe anyị. Ha ji abụ, ụbọ akwara, opi, une na ogene na
ihe egwu dị iche iche, dịka ịgba na ekwe na-eti egwu.

6 Mgbe ha rutere n'ebe ịzọcha ọka nke Nakọn, Ụza setịpụrụ aka ya, jide igbe
ọgbụgba ndụ Chineke ahụ, n'ihi na ehi ahụ zọhiere ụkwụ. 7 Ma iwe Onyenwe anyị
dị ọkụ megide Ụza, n'ihi omume enweghị nsọpụrụ o mere. Ya mere, Chineke tigburu
ya. Ọ nwụọ n'ebe ahụ n'akụkụ igbe Chineke.

8 Mgbe ahụ, iwe were Devid, n'ihi ọnụma Onyenwe anyị dakwasịrị Ụza. Ruo taa,
a na-akpọ ebe ahụ Perez Ụza.†

9 Devid tụrụ egwu Onyenwe anyị n'ụbọchị ahụ. O kwuru sị, "Igbe ọgbụgba ndụ
Onyenwe anyị ọ ga-esi aṅaa bịakwute m?" 10 O kweghị ebubata igbe ọgbụgba ndụ
Onyenwe anyị ahụ n'ime obodo Devid, kama o bugara ya n'ụlọ Obed-Edọm, onye
Git. 11 Igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị nọrọ n'ụlọ Obed-Edọm, onye Git ọnwa atọ.
Onyenwe anyị gọzikwara ya na ezinaụlọ ya niile.

12 Mgbe a gwara eze bụ Devid si, "Onyenwe anyị agọziela ezinaụlọ Obed-Edọm na
ihe niile o nwere, n'ihi igbe ọgbụgba ndụ Chineke." N'ihi nke a, Devid ji oke ọṅụ
gaa n'ụlọ Obed-Edọm, n'ihi ibugote igbe ọgbụgba ndụ Chineke, buga n'obodo Devid.
13 Mgbe ndị bu igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị ahụ zọrọ nzọ ụkwụ isii; ọ na-eji
oke ehi na nwa ehi gbara abụba chụọ aja. 14 Devid ji ike ya niile na-ete egwu n'ihu
Onyenwe anyị. Ọ yi uwe efọọd e ji akwa ọcha dụọ n'ụbọchị ahụ, 15 mgbe ya na ndị
Izrel niile ji iti mkpu na ụda ịfụ opi ike na-ebubata igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị.

16 Mgbe ha bu igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị na-abata n'obodo Devid, Mikal,
nwa Sọl lepụrụ anya site na oghereikuku ụlọ. Mgbe ọ hụrụ eze Devid ka ọ na-awụli
elu na-etekwa egwu n'ihu Onyenwe anyị, o ledara ya anya n'ime obi ya.

17 Ha bubatara igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị ahụ, guzobe ya n'ọnọdụ ya n'ime
ụlọ ikwu nke Devid manyere maka ya. Devid chụrụ aja nsure ọkụ na aja udo n'ihu
Onyenwe anyị. 18 Mgbe ọ chụsịrị aja nsure ọkụ na aja udo ndị a, ọ gọziri ndị Izrel
n'aha Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile. 19 O nyekwara onye ọbụla n'etiti igwe
ndị Izrel niile ahụ, ma nwoke ma nwanyị, otu ogbe achịcha, ọkpụrụkpụ anụ na
achịcha mkpụrụ osisi a mịkpọrọ amịkpọ. Ndị a niile lara, onye ọbụla n'ụlọ nke ya.

20 Mgbe Devid lọtara ka ọ gọzie ndị ụlọ ya, Mikal, ada Sọl pụtara izute ya, sị, "Lee
ka eze Izrel si mee onwe ya onye dị ukwuu taa! Ọ gbara onwe ya ọtọ na mbara, n'ihu
ndị ohu nwanyị nke ndị odibo ya dịka mmadụ efu."

21 Ma Devid zara Mikal sị ya, "Ọ bụ n'ihu Onyenwe anyị onye họpụtara m karịa
nna gị‡ maọbụ onye ọbụla ọzọ sitere n'ụlọ ya ka m tere egwu. E, Onyenwe anyị ahụ
họpụtara m ịbụ onyendu Izrel, ndị nke ya. N'ezie, aga m aga n'ihu ịkpa agwa dịka
onye nzuzu n'ihi ịsọpụrụ Onyenwe anyị. 22 E, aga m aga n'ihu ịghọ onye na-enweghị
uche, na onye e weturu ala n'anya onwe m. Ma ụmụ agbọghọ ndị ahụ i kwuru okwu
ha, ha ga-asọpụrụ m!"

23 Mikal, ada Sọl amụtaghị nwa ọbụla ruo n'oge ọnwụ ya.

* **6:2** 6:2 Ya bụ Kiriat Jearim. 1Ih 13:6 † **6:8** 6:8 Perez Ụza pụtara ihe ntiwapụta megide Ụza ‡ **6:21** 6:21
1Sa 13:14; 15:28

# 7

### *Nkwa Chineke kwere Devid*

1 O ruo mgbe eze nọsara ahụ n'ụlọeze ya, mgbe Onyenwe anyị mekwara ka o site
n'aka ndị iro ya nọ gburugburu zuru ike, 2 ọ sịrị Netan, bụ onye amụma, "Lee, mụ
onwe m na-ebi n'ụlọ sida, ma igbe ọgbụgba ndụ Chineke dị n'ime ụlọ ikwu."
3 Netan zaghachiri eze sị, "Ihe ọbụla dị gị n'obi gaa n'ihu mee ya, n'ihi na Onyenwe
anyị nọnyeere gị."
4 Ma n'abalị ahụ, okwu Onyenwe anyị rutere Netan ntị, na-asị,
5 "Gaa gwa ohu m Devid sị ya, 'Otu a ka Onyenwe anyị kwuru, Ọ bụ gị ga-ewuru
m ụlọ ebe m ga-ebi? 6 N'ihi na ebibeghị m n'ụlọ site n'ụbọchị m si n'Ijipt kpọpụta
ndị Izrel ruo taa. Kama ana m ejeghari site otu ebe gaa ebe ọzọ, were ụlọ ikwu
mere ebe obibi m. 7 N'ebe ọbụla m na-ejegharị n'etiti ndị Izrel niile, ọ dị mgbe m
sịrị onye ọbụla n'ime ndị ọchịchị ha, ndị m nyere iwu ka ha zụọ ndị m Izrel, sị,
"Gịnị mere unu ewubereghị m ụlọ sida?" '
8 "Ma ugbu a, gwa Devid bụ ohu m, sị, 'Otu a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime
ihe niile kwuru: Mụ onwe m sitere n'ọhịa ebe ịta nri nke ụmụ anụ ụlọ, sikwa
n'ebe ị na-azụ igwe ewu na atụrụ kpọpụta gị. Mee gị onye na-achị ndị m Izrel.
9 Anọnyekwara m gị n'ebe ọbụla ị gara, kpochapụ ndị iro gị niile site n'ihu gị.
Ugbu a, aga m eme ka aha gị dị ukwuu, dịka aha ndị ikom dịkarịsịrị ukwuu n'ụwa.
10 Aga m ahọpụta otu ebe n'ihi ndị m Izrel, kụkwa ha dịka osisi ka ha biri n'ebe
obibi nke aka ha; ka ha ghara ị bụkwa ndị a na-esogbu ọzọ. Ndị ajọ mmadụ agaghị
emegbukwa ha dịka ha mere na mbụ, 11 dịka ha na-emekwa siterị na mgbe m
họpụtara ndị ndu nye ndị m Izrel. Aga m enyekwa gị ezumike site n'ebe ndị iro gị
niile nọ.
" 'Onyenwe anyị na-ekwupụtara gị, na Onyenwe anyị ya onwe ya, ga-eguzobere
gị ụlọ. 12 Mgbe ụbọchị gị n'ụwa zuru, mgbe i ga-esoro nna nna gị ha dinaa n'ọnwụ,
aga m eme ka otu mkpụrụ gị bilie nọchie ọnọdụ gị, onye bụ anụ ahụ na ọbara gị,
aga m emekwa ka alaeze ya guzosie ike. 13 Ọ bụ ya ga-ewuru m ụlọ. Aga m eme ka
ocheeze nke alaeze ya guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi.* 14 Mụ onwe m ga-abụrụ
ya nna. Ya onwe ya ga-abụkwara m nwa. Ọ bụrụ na o jehie, aga m eji mkpanaka
mmadụ taa ya ahụhụ. Werekwa ihe otiti si n'aka ndị mmadụ dụọ ya ọdụ. 15 Ma
agaghị ewezuga ịhụnanya m site n'ebe ọ nọ, dịka m si wezuga ya site n'ebe Sọl
nọ, bụ onye m wezugara site n'ihu gị. 16 Ụlọ gị na alaeze gị ga-adịgide ruo mgbe
ebighị ebi n'ihu m. A ga-eme ka ocheeze gị bụrụ ihe guzosiri ike ruo mgbe ebighị
ebi.' "
17 Netan ziri Devid ozi dịka okwu niile nke ọhụ ahụ si dị.

### *Ekpere Devid*

18 Mgbe ahụ, eze Devid banyere nọdụ ala n'ihu Onyenwe anyị, sị:
"Onye ka m bụ, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị, gịnịkwa ka ezinaụlọ
m bụ, na ị mere ka m bịaruo n'ogogo ha otu a? 19 Onye kachasị ihe niile elu, bụ
Onyenwe anyị, dịka a ga-asị na nke a bụ ihe dị nta n'anya gị. Ugbu a, i kwuola
banyere ọdịnihu nke ụlọ ohu gị, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị, nke
a bụkwa ụkpụrụ metụtara mmadụ efu.
20 "Ma gịnị ọzọ ka Devid ga-agwa gị? O, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe
anyị. N'ihi na ị maara ohu gị nke ọma. 21 N'ihi okwu gị na dịka ọchịchọ obi gị si
dị, i meela ihe a dị ukwuu, meekwa ka ohu gị mata ha.
22 "Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị, lee ka i si dị ukwuu! Ọ dịghị
onye dịka gị. Ọ dịkwaghị Chineke ọzọ dị ma ọ bụghị gị, dịka anyị nụrụ ya na
ntị anyị. 23 Olee ndị dịka ndị gị, bụ Izrel, bụ otu mba n'elu ụwa nke Chineke gara

* **7:13** 7:13 7:16

ịgbapụta dịka otu ndị nye onwe ya, na iji mere onwe ya aha, rụọkwa ọrụ ịtụnanya
dị egwu dịkwa ukwuu n'ihi ha, site n'ịchụpụ mba dị iche iche na chi niile ha site
n'ihu ndị gị, bụ ndị ị gbapụtara site n'Ijipt? 24 I meela ka ndị gị Izrel guzosie ike,
dịka ndị nke gị ruo mgbe ebighị ebi. Ma gị onwe gị kwa, ONYENWE ANYỊ, abụrụla
Chineke ha.
25 "Ugbu a, ONYENWE ANYỊ Chineke, debe nkwa a nke i kwere banyere ohu gị
na ụlọ ya ka ọ dịrị ruo mgbe ebighị ebi. Mezukwaa ihe niile dịka nkwa gị si dị
26 Ka aha gị bụrụ ihe dị ukwuu ruo mgbe ebighị ebi. Mgbe ahụ, ndị mmadụ ga-asị,
'ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke na-achị Izrel' A ga-emekwa
ka ụlọ ohu gị bụ Devid guzosie ike n'anya gị.
27 "O ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, Chineke Izrel, n'ihi na ị kpugheerela
ohu gị ihe a, na-asị, 'Aga m ewuru gị ụlọ.' Ya mere, ohu gị ji nwee obi ike ikpere
gị ekpere a. 28 O, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ, ị bụ Chineke n'ezie.
Okwu gị kwesiri ntụkwasị obi.† I kweekwala ohu gị nkwa ihe ọma ndị a. 29 Ugbu a
biko, ka ọ masị gị ịgọzi ụlọ ohu gị, ka ọ dịgide n'ihu gị ruo mgbe ebighị ebi. N'ihi
na gị, o Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola ya, sitekwa na ngọzị
gị, ụlọ ohu gị ga-abụkwa ihe a gọziri agọzi ruo mgbe ebighị ebi."

# 8

*Mmeri n'agha nke Devid meriri*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, Devid meriri ndị Filistia. Mee ka ha nọdụ n'okpuru ọchịchị
ya. Ọ naara obodo Meteg-Amaa site n'ọchịchị ndị Filistia.
2 Devid merikwara ndị Moab.* O mere ka ha dinaa n'ala. O jikwa ụdọ ọtụtụ tụa
ha. Ọtụtụ abụọ ọbụla n'ime ha ka egburu. Ọtụtụ nke atọ ka a hapụrụ ka ha dịrị ndụ.
Ya mere, ndị Moab ghọrọ ndị ohu Devid, na-ebutakwara ya ụtụ kwa afọ ọbụla.
3 Devid merikwara Hadadeza nwa Rehob, eze Zoba. Mgbe ọ gara inweghachita
ogidi e jiri mara ya, n'akụkụ osimiri Yufretis. 4 Devid nwudere otu puku ịnyịnya ya
na-adọkpụ ụgbọ agha, puku ndị agha asaa ndị na-agba ụgbọ agha, tinyere ndị agha
ji ụkwụ eje dị iri puku abụọ. O bipụrụ akwara ụkwụ ịnyịnya ndị ahụ niile ọ dọtara
n'agha, ma hapụ naanị narị ịnyịnya.
5 Mgbe ndị Aram nke Damaskọs bịara inyere Hadadeza eze Zoba aka, Devid gburu
iri puku ndị agha abụọ na abụọ n'ime ha. 6 O wuru ogige ndị agha n'alaeze ndị Aram
nke Damaskọs. Ndị Aram ghọrọ ndị ohu Devid, na-ewetakwa ụtụ ịnata ihuọma.
ONYENWE ANYỊ nyere Devid mmeri ebe ọbụla ọ gara.
7 Devid chịkọtara ọta ọlaedo ndịisi agha Hadadeza ji lụọ agha webata ha na
Jerusalem. 8 Site na Teba† nakwa Beirotai, bụ obodo Hadadeza na-achị. Eze Devid
weere ọtụtụ bronz dị ukwuu.
9 Mgbe Tou, eze Hamat, nụrụ na Devid emeriela ndị agha Hadadeza niile, 10 o zipụrụ
Joram, nwa ya nwoke, ka ọ gaa kelee Devid, n'ihi mmeri o meriri Hadadeza n'agha,
bụ onye ya na Tou nọ n'agha. Joram ji ọtụtụ akụrụngwa nke ọlaọcha, nke ọlaedo
na nke bronz bịa.
11 Eze Devid doro akụrụngwa ndị a niile nsọ nye ONYENWE ANYỊ, dịka o si mee
ọlaọcha na ọlaedo si na mba niile ndị ọ lụgburu. 12 Mba ndị a bụ: Edọm, Moab,
ndị Amọn, ndị Filistia na Amalek. O dokwara nsọ nye ONYENWE ANYỊ ihe ọ kwatara
n'agha site n'aka Hadadeza nwa Rehob, bụ eze Zoba.

---

† **7:28** 7:28 Ọpụ 34:8; Jos 21:45; Jọn 17:17 * **8:2** 8:2 Ndị Moab bụ ndị agbụrụ Lọt Jen 19:37, ha bichiri oke ala ndị Izrel n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke Osimiri Nwụrụ anwụ. Sọl lụgburu ha n'oge gara aga. 1Sa 14:47 Devid zigara ndị ezinaụlọ ya na nke ndị ikwu ya n'ala Moab, mgbe ọ gbara ọsọ ndụ site n'aka Sọl. 1Sa 22:3-4 Agbụrụ nna nna ochie Devid sitekwara n'ala Moab. Rut 1:22; 4:22 † **8:8** 8:8 Ma ọ bụkwanụ, Beta

13 Devid meere onwe ya aha, mgbe o si n'itigbu puku ndị ikom Edọm iri na asatọ
na Ndagwurugwu Nnu lọghachite.
14 O wuru ogige ndị agha n'ala Edọm niile, ndị Edọm niile ghọrọ ndị na-ejere Devid
ozi. ONYENWE ANYỊ nyere Devid mmeri ebe ọbụla ọ gara.

*Ndị na-ejere Devid ozi*

15 Devid chịrị ndị Izrel niile, na-emere ndị ya ihe dị mma na ihe ziri ezi. O
mesokwaghị onye ọbụla mmeso ọjọọ. 16 Onyeisi ndị agha ya bụ Joab‡ nwa Zeruaya;
ode akwụkwọ obodo bụ Jehoshafat, nwa Ahilud. 17 Zadọk§ nwa Ahitub, na Ahimelek
nwa Abịata, bụ ndị nchụaja; Seraya bụ ode akwụkwọ eze. 18 Benaya, nwa Jehoiada,
bụ onyeisi ndị Keret na Pelet.* Ụmụ ndị ikom Devid bụkwa ndị nchụaja.

# 9

*Devid na Mefiboshet*

1 Otu ụbọchị, Devid jụrụ ajụjụ sị, "O nwere onye fọdụrụ ndụ n'ezinaụlọ Sọl? Achọrọ
m igosi onye ahụ obi ebere n'ihi Jonatan."
2 Ọ nụrụ ihe banyere otu nwoke aha ya bụ Ziba, onye bụ otu n'ime ndị ohu Sọl. O
ziri ozi ka a kpọọ ya. Mgbe ọ bịara n'ihu Devid, eze jụrụ ya sị, "Ọ bụ gị bụ Ziba?"
Ọ zara sị, "E, onyenwe m, ọ bụ m ohu gị."
3 Eze jụrụ ya sị, "Ọ dị onye fọdụrụ ndụ n'ezinaụlọ Sọl? Ọ bụrụ na ọ dị onye fọdụrụ,
achọrọ m igosi ya ụdị obiọma Chineke na-egosi."
Ziba zara ya sị, "Otu nwa nwoke Jonatan, nke dara ngwụrọ nọ ndụ."
4 Eze jụrụ, "Ebee ka ọ nọ?"
Ziba zaghachiri, "Ọ nọ na Lo Deba, n'ụlọ Makia, nwa Amiel."
5 Ya mere eze Devid ziri ka e site n'obodo Lo Deba, n'ụlọ Makia nwa Amiel kpọta
ya.
6 Mgbe Mefiboshet nwa Jonatan, nwa Sọl, bịara n'ebe Devid nọ, o hulatara isi,
kpọọrọ ya isiala, n'ọnọdụ nsọpụrụ.
Mgbe ahụ, Devid kpọrọ ya aha sị, "Mefiboshet,"
Mefiboshet zara sị ya, "A bụ m ohu gị."
7 Ma Devid sịrị ya, "Atụla egwu, n'ezie, aga m egosi gị obiọma n'ihi nna gị Jonatan.
Aga m enyeghachi gị ala niile nna nna gị Sọl nwere. Ma ị ga-eso soro m na-eri nri na
tebul m oge niile."
8 Mefiboshet dara n'ala n'ihu eze sị, "Eze, onye ka m bụ i ji egosi nkịta nwụrụ anwụ
dịka m obi ebere?"
9 Eze kpọrọ Ziba ohu Sọl ahụ sị ya, "Enyeghachila m nwa nwa nna gị ukwu ihe
niile Sọl na ụlọ ya nwere. 10 Gị na ụmụ gị ndị ikom na ndị ozi gị ga-arụ ọrụ n'ubi ya
ịrụpụta nri. Ma Mefiboshet, nwa nwa nna gị ukwu ga na-eri ihe na tebul m." Ziba,
nwere ụmụ ndị ikom iri na ise, na iri ndị ozi abụọ.
11 Ọ sịrị eze, "Onyenwe m, ohu gị ga-eme ihe niile eze nyere m n'iwu." Site n'oge
ahụ, Mefiboshet riri nri na tebul* Devid dịka ọ bụ otu n'ime ụmụ ndị ikom eze.
12 Mefiboshet nwekwara otu nwa nwoke aha ya bụ Mika. Ziba na ndị niile bi n'ụlọ
ya niile ghọrọ ndị ohu Mefiboshet. 13 Ma Mefiboshet biri na Jerusalem n'ihi na ọ bụ
na tebul eze ka ọ na-eri nri mgbe niile. Ọ bụ onye dara ngwụrọ n'ụkwụ ya abụọ.

‡ **8:16** 8:16 Joab bụ nwa nwanne nwanyị Devid. § **8:17** 8:17 Zadọk bụ nwa nwa Elieza, onye nchụaja, 2Ih 24:3 nke nọgidere n'arụ ọrụ ya n'ikwesị ntụkwasị obi nye Devid. Ọ bụ ya tere Solomọn mmanụ ịbụ eze n'ọnọdụ Devid. 1Ez 1:32-35; 1Ih 23:1; 29:22 * **8:18** 8:18 Ndị Keret bụ ndị si obodo Kriit, ebe ndị Pelet si n'obodo Filistia. Ha bụ ndị agha e goro ego na-eche eze nche, gụọ akwụkwọ 1Ih 18:17 * **9:11** 9:11 Maọbụ, okpokoro iri ihe

# 10

*Devid emerie ndị Amọn*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, eze ndị Amọn* nwụrụ. Hanọn nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ
ya. 2 Mgbe ahụ, Devid chere sị, "Aga m egosi Hanọn nwa Nahash obi ebere dịka nna
ya si gosi m obi ebere." Ya mere, Devid zipụrụ ndị ozi ka ha gaa kasịe ya obi n'ihi
ọnwụ nna ya.
Mgbe ndị ikom Devid rutere n'ala ndị Amọn, 3 ndịisi ala Amọn sịrị Hanọn bụ
onyenwe ha, "Ị na-eche na Devid na-akwanyere nna gị ụgwụ site na izite ndị ozi
ya ka ha bịa kasịe gị obi? Ọ bụ na Devid eziteghị ha ịbịakwute gị, naanị ka ha bịa
mee nledo n'obodo a, nyochapụta ya ma kwatuo ya?" 4 N'ihi nke a, Hanọn jidere ndị
ozi Devid n'ike, kpụchapụ otu mpaghara afụọnụ nwoke ọbụla, bipụkwa uwe mwụda
ha n'etiti ike ha, zilaga ha.
5 Mgbe a gwara Devid ihe mere, o zipụrụ ndị ozi ka ha gaa zute ndị ikom ahụ,
n'ihi na e mere ha ihe ihere n'ebe ọ dị ukwuu. Eze sịrị, "Nọdụnụ na Jeriko ruo mgbe
afụọnụ unu tolitere, mgbe ahụ unu ga-alọta."
6 Ma mgbe ndị Amọn chọpụtara na ha abụrụla ihe ịsọ oyi n'ebe Devid nọ, ha gara
goo iri puku ndị agha abụọ ji ụkwụ eje site n'Aram, Bet-Rehob nakwa Zoba. Ha
gokwara eze Maaka ya na puku ndị ikom, tinyekwara iri puku ndị ikom na puku
abụọ ọzọ site n'ala Tob.
7 Mgbe Devid nụrụ nke a, o zipụrụ Joab na ndị agha ya niile bụ dike na dimkpa
n'agha. 8 Ndị Amọn pụtara doo onwe ha n'usoro ibu agha, n'ọnụ ụzọ ama nke obodo
ha. Ma ndị Aram, ndị si Zoba na Rehob, na ndị ikom Tob na Maaka, nọpụrụ onwe ha
na mbara ala.
9 Mgbe Joab hụrụ na agha dị megide ya n'ihu na azụ, ọ họpụtara ụfọdụ ndị
ọkachamara site n'etiti ndị agha Izrel, doo ha n'usoro izute ndị Aram. 10 O tinyere
ndị ikom fọdụrụ n'okpuru ọchịchị Abishai, nwanne ya, zipụkwa ha izute ndị Amọn
n'agha. 11 Joab sịrị, "Ọ bụrụ na ndị agha Aram akarịa m ike, pụta bịa nyere m aka;
ma ọ bụrụkwanụ na ndị Amọn akarịa gị ike, aga m apụta bịa napụta gị. 12 Nwee obi
ike, ka anyị lụọ ọgụ a dịka ndị dị ike, n'ihi ndị anyị, na obodo niile nke Chineke anyị.
Ka ONYENWE ANYỊ meekwa ihe dị mma n'anya ya."
13 Mgbe ahụ, Joab na ndị agha so ya bịara nso ibuso ndị Aram agha, ha sitere n'ihu
ha gbapụ ọsọ. 14 Mgbe ndị Amọn hụrụ ka ndị Aram na-agbapụ ọsọ, ha onwe ha
gbakwara ọsọ n'ihu Abishai, gbaba n'ime obodo. Ya mere, Joab sitere n'ịlụso ndị
Amọn agha lọghachi, bịa na Jerusalem.
15 Mgbe ndị Aram hụrụ na ndị Izrel tigburu ha; ha lara, chịkọtaa onwe ha ọnụ.
16 Hadadeza mere ka a kpọta ndị Aram site n'ofe ọzọ nke Osimiri Yufretis. Ha gara
Hilam, ha na ọchịagha ndị agha Hadadeza, a na-akpọ Shobak, onye na-edu ha.
17 Mgbe a gwara Devid banyere nke a, ọ chịkọtara ndị Izrel niile, gafee Jọdan,
jeruo Hilam. Ndị Aram doro usoro agha ha izute Devid, lụsokwaa ya agha. 18 Ma
ha sitere n'ihu ndị Izrel gbaa ọsọ, Devid gburu narị ndị ikom asaa na-anya ụgbọ
agha nke ịnyịnya na-adọkpụ. Gbukwaa iri puku ndị agha anọ na-eji ụkwụ eje. O
tidara Shobak, bụ ọchịagha ndị agha ha, ọ nwụọ n'ebe ahụ. 19 Mgbe ndị eze niile nọ
n'okpuru ọchịchị Hadadeza hụrụ na Izrel etigbuola ha, ha mere ka ha na ndị Izrel
dịrị n'udo, bụrụkwa ndị nọ n'okpuru ha.
Ya mere, ndị Aram tụrụ egwu inyere ụmụ Amọn aka ọzọ.

# 11

*Devid na Batsheba*

* **10:1** 10:1 Ndị Amọn bụ mba na-ebi n'ọzara, n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke osimiri Jọdan.

1 N’oge ọkọchị, mgbe ndị eze na-apụ ibu agha, Devid zipụrụ Joab ọchịagha ya,
na ndị agha Izrel. Ha bibiri ndị Amọn, nọchibidokwa Raba. Ma Devid nọdụrụ na
Jerusalem.

2 N’otu uhuruchi, Devid sitere n’ihe ndina ya bilie, gagharịa n’elu ụlọeze ya. Ọ
sitere n’elu ụlọ ahụ hụ otu nwanyị na-asa ahụ. Nwanyị ahụ mara mma nke ukwu
n’ile anya. 3 Devid ziri ozi ka a jụta onye nwanyị ahụ bụ, ma a gwara ya na ọ bụ
Batsheba, nwa Eliam, nwunye Ụraya onye Het. 4 Devid ziri ka a gaa kpọta ya. Mgbe
ọ bịara, ya na Devid dinara. (Ka ọ ghụchasịrị onwe ya site n’adịghị ọcha ya nke
ọnwa ahụ.) Ọ laghachiri n’ụlọ ya. 5 Nwanyị a mechara dị ime, bịa ziga ozi ka agwa
Devid. Ọ sịrị, “Adị m ime.”

6 Mgbe Devid nụrụ ya, o zigaara Joab ozi sị ya, “Zitere m Ụraya, onye Het.” 7 Mgbe
Ụraya bịakwutere ya, Devid jụrụ ya otu Joab mere, na otu ndị agha Izrel dị na otu
agha si aga. 8 Devid sịrị Ụraya, “Laa n’ụlọ gị gaa saa ụkwụ gị.” Ụraya si n’ụlọeze
pụọ. E zipụkwara onyinye nke ndị na-ejere eze ozi ji sochie ya azụ. 9 Ma Ụraya
agaghị n’ụlọ ya. Kama o so ndị na-ejere eze ozi dinaa n’ọnụ ụzọ e si abata ụlọeze.

10 Mgbe a gwara Devid na Ụraya alaghị n’ụlọ ya, Devid kpọrọ Ụraya, jụọ ya ajụjụ
sị, “Ọ bụghị ije dị anya ka i si lọta? Gịnị mere ị larughị n’ụlọ gị?”

11 Ụraya zara Devid, “Lee, igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị, na Izrel na Juda niile
nọ n’ụlọ ikwu. Nna m ukwu Joab na ndị agha nna m ukwu nọ n’ọhịa. M ga-esi aṅaa
laa n’ụlọ m, iri na ịṅụ ihe ọṅụṅụ na isoro nwunye m dinaa? Ana m aṅụ iyi na agaghị
m eme ihe dị otu a.”

12 Devid gwara ya sị, “Ọ dị mma, nọdụ n’ebe a taa, echi ị ga-alaghachikwa n’ọgbọ
agha.” Ụraya kwenyere nọdụ na Jerusalem ụbọchị ahụ, nakwa ụbọchị na-eso ya.
13 Emesịa, Devid kpọrọ ya oriri, meekwa ya ka ọ ṅụbiga mmanya oke, ma nke a
emeghị ka ọ laa n’ụlọ ya n’abalị ahụ, kama ọ bụkwa n’ọnụ ụzọ e si abata ụlọeze ka
o dinara n’etiti ndị na-ejere eze ozi.

14 N’ụtụtụ echi ya, Devid degaara Joab akwụkwọ, zighachịkwa ya site n’aka Ụraya.
15 Ihe ọ dere n’akwụkwọ ahụ bụ nke a, “Tinye Ụraya n’ihu agha ebe ọgụ siri ike.
Mgbe ndị iro na-apụkwute unu, laanụ azụ, ma hapụnụ Ụraya n’ihu ọgụ ka ndị iro
gbuo ya.”

16 Ya mere, mgbe Joab gbara obodo ahụ gburugburu, o tinyere Ụraya n’ebe ọ maara
na ndị dị ike n’etiti ndị iro ha nọ. 17 Ndị ikom obodo ahụ pụtara buso Joab agha.
Ụfọdụ ndị agha Devid nwụrụ. Ụraya onye Het, so na ndị egburu.

18 Mgbe ahụ, Joab zigara ozi gwa Devid otu agha si na-aga, 19 Ọ gwara onyeozi ahụ
sị, “Mgbe ị gwachara eze akụkọ ihe gbasara otu agha si gaa 20 iwe nwere ike iwe
eze nke ukwu, na o nwere ike jụọ gị sị, ‘Gịnị mere unu ji gaa mgbidi obodo ahụ
nso ịlụ agha? Ọ bụ na unu amaghị na a ga-esi n’elu mgbidi ahụ gbaa àkụ? 21 Onye
gburu Abimelek nwa Jeru-Beshet? Ọ bụghị na mgbidi obodo ka nwanyị nọ tụdaa aka
nkume dagburu ya na Tebez? Gịnị mere unu ji jeruo mgbidi ahụ nso?’ Ọ bụrụ na ọ
jụọ gị ihe dị otu a, gwa ya, ‘Ohu gị bụ Ụraya, onye Het anwụọkwala.’ ”

22 Onyeozi ahụ biliri ije, mgbe o rutere, ọ gwara Devid ihe niile Joab ziri ya ka o
zie. 23 Onyeozi ahụ sịrị Devid, “Ndị ikom ahụ ji ike karịrị anyị, ha pụtara ị buso anyị
agha na mbara ma anyị chụghachiri ha azụ. Chụruo ha n’ọnụ ụzọ ama obodo ahụ.
24 Mgbe ahụ, ndị ọgba ụta sitere n’elu mgbidi malite ịgba ndị ohu gị àkụ, ụfọdụ
n’ime ndị ikom eze nwụrụ. Ohu gị Ụraya, onye Het, sokwa na ndị nwụrụ.”

25 Devid sịrị onyeozi ahụ, “Otu a ka ị ga-agwa Joab, ‘Ka ihe a ghara iwute gị
n’obi, n’ihi na mma agha na-egbu otu onye dịka o si egbu onye ọzọ. Lụsie ọgụ
ike, lụgbukwaa obodo ahụ.’ Jiri okwu ndị a gbaa ya ume.”

[26] Mgbe nwunye Ụraya nụrụ na di ya anwụọla, o ruru ụjụ n'ihi ya. [27] Mgbe oge iru
ụjụ ya gabigara, Devid ziri ka a kpọta ya n'ụlọeze. Ọ ghọkwara nwunye ya. Mụọra
ya nwa nwoke. Ma ihe Devid mere jọrọ njọ n'anya ONYENWE ANYỊ.

# 12

*Netan abaara Devid mba*

[1] Ya mere, ONYENWE ANYỊ zigara Netan ka o jekwuru Devid. Mgbe Netan bịakwutere
Devid, ọ kọọrọ ya akụkọ a, "E nwere ndị ikom abụọ bi n'otu obodo, otu bụ ọgaranya
ma nke ọzọ bụ ogbenye. [2] Onye ọgaranya a nwere ọtụtụ igwe atụrụ na igwe ehi. [3] Ma
nwoke ogbenye ahụ enweghị ihe ọbụla karịa otu nwa nne atụrụ nta nke ọ zụtara.
Ọ zụlitere ya, o tolite n'etiti ya na ụmụ ya. Ọ na-eri nri site na ihe oriri ya, na-aṅụ
mmiri site n'iko mmiri ya, n'obi ya ka ọ na-edinakwa. Ọ nọ ọnọdụ dịka nwa nwanyị
nye ya.

[4] "Otu ụbọchị, onye ọbịa bịara n'ụlọ onye ọgaranya ahụ. Ma kama ọgaranya ahụ
ga-ewere otu atụrụ maọbụ ehi nke ya siere onye ọbịa ya nri, ọ gara were nne atụrụ
ogbenye ahụ, gbuo ya, jiri ya siere ọbịa ya nri."

[5] Devid were oke iwe megide nwoke ahụ, ọ sịrị Netan, "Ana m aṅụ iyi n'aha
ONYENWE ANYỊ dị ndụ na onye mere ihe dị otu a aghaghị ịnwụ! [6] Ọ ga-ejikwa nwa
atụrụ okpukpu anọ kwụghachi ogbenye ahụ ụgwọ otu atụrụ ahụ o weere, n'ihi na
onye ọgaranya ahụ egosighị na o nwere obi ebere ọbụla."

[7] Mgbe ahụ, Netan sịrị Devid, "Ọ bụ gị bụ nwoke ahụ! Otu a ka ONYENWE ANYỊ,
Chineke Izrel sịrị, 'Mụ onwe m tere gị mmanụ ịbụ eze Izrel, mụ onwe m napụtakwara
gị site n'aka Sọl. [8] Enyere m gị ụlọ nna gị ukwu, nyefekwa ndị inyom nna gị ukwu
n'aka gị, na alaeze Izrel na Juda, ka ha bụrụ nke gị. Ma ọ bụrụ na nke a ezughị,
agaara m atụkwasịrị gị ihe ndị a niile okpukpu okpukpu. [9] Gịnị mere i ji leliạ okwu
ONYENWE ANYỊ anya, mee ihe a jọgburu onwe ya? N'ihi na i jirila mma agha gbuo
Ụraya onye Het, zurukwa nwunye ya n'ohi. Ọ bụkwa mma agha ndị Amọn ka i ji
gbuo ya. [10] Ya mere, n'ihi ihe a i mere, mma agha agaghị esi n'ezinaụlọ gị pụọ, n'ihi
na i ledara m anya kpọrọ nwunye Ụraya onye Het ka ọ bụrụ nwunye gị.'

[11] "Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, 'Aga m eme ka ihe ọjọọ si n'ezinaụlọ gị bilie
megide gị. N'ihu gị ka m ga-eduru ndị nwunye gị dunye otu onye dị gị nnọọ nso, ya
na ha ga-edinakọ n'ehihie ọcha, n'ihu ndị Izrel niile. [12] I mere mmehie gị na nzuzo,
ma aga m eme nke a na mbara, n'ihu Izrel niile.' "

[13] Mgbe ahụ, Devid sịrị Netan, "Emehiela m megide ONYENWE ANYỊ."

Netan zara sị ya, "ONYENWE ANYỊ n'onwe ya agbagharakwala gị mmehie gị, ị gaghị
anwụ. [14] Ma n'ihi na i meela ka ndị iro ONYENWE ANYỊ nwe ohere ikwulu na ilelị ya
anya, nwa nwoke ahụ amụụrụ gị ga-anwụ."

[15] Mgbe Netan lara, ONYENWE ANYỊ mere ka nwantakịrị ahụ nwunye Ụraya mụụrụ
Devid daa ọrịa. [16] Devid rịọrọ Chineke arịrịọ banyere nwantakịrị ahụ. O buru ọnụ,
dinaa n'ala efu abalị ahụ niile n'ihu ONYENWE ANYỊ. [17] Emesịa, ndị okenye ụlọ ya
rịọrọ Devid ka o bilie rie nri, ma ọ jụrụ iri ihe ọbụla.

[18] N'ụbọchị nke asaa, nwantakịrị ahụ nwụrụ. Mgbe ahụ, ndị na-ejere Devid ozi
tụrụ egwu otu ha ga-esi gwa ya na nwantakịrị ahụ anwụọla. N'ihi na ha kwuru
n'ime onwe ha sị, "Mgbe nwantakịrị ahụ ka dị ndụ, anyị gwara ya okwu ma o geghị
anyị ntị. Anyị ga-esi aṅaa gwa ya na nwantakịrị ahụ anwụọla? O nwere ike imerụ
onwe ya ahụ."

[19] Mgbe Devid hụrụ na ha na-ekwurịta okwu n'etiti onwe ha na nzuzo; ọ matara
na nwa ahụ anwụọla. Ọ jụrụ ha sị, "Nwata ahụ ọ nwụọla?"

Ha zara sị ya, "E, ọ nwụọla!"

20 Mgbe ahụ, Devid sitere n'ala ebe o dina, bilie, saa ahụ, gbanwee uwe ya, baa
n'ụlọ ONYENWE ANYỊ, kpọọrọ ya isiala. Ọ lọghachiri n'ụlọ ya nye iwu ka e wetara ya
ihe oriri. O rikwara nri.
21 O juru ndị na-ejere ya ozi anya, n'ihi ya ha jụrụ ya ajụjụ si, "Gịnị mere i ji eme
omume dị otu a? Mgbe nwantakịrị ahụ nọ ndụ, i buru ọnụ, kwaakwa akwa, ma ugbu
a, nwa ahụ anwụọla, ị kwụsịla iru ụjụ. Ugbu a, ị biliela na-erikwa nri."
22 Devid zara ha sị, "Eburu m ọnụ, kwaakwa akwa mgbe nwa ahụ nọ ndụ, n'ihi
na ekwuru m sị, 'ma eleghị anya, ONYENWE ANYỊ ga-enwe ọmịiko n'ebe m nọ mee ka
nwa ahụ dị ndụ.' 23 Ma ugbu a ọ nwụrụ, gịnịkwa ka m nwere dịka uru ibu ọnụ ọzọ?
M pụrụ ime ka ọ dị ndụ ọzọ? Aga m alakwuru ya, ma ọ gaghị alaghachikwutekwa
m."
24 Devid kasiri Batsheba nwunye ya obi, emesịa, mgbe ya na ya dinakọrọ, ọ tụụrụ
ime ọzọ mụọ nwa nwoke onye ha kpọrọ aha ya Solomọn. Ma ONYENWE ANYỊ hụrụ
nwantakịrị ahụ n'anya. 25 O zigara ozi site n'aka Netan, onye amụma, ka a gụọ ya
Jedidaya n'ihi ONYENWE ANYỊ.
26 N'oge a, Joab busoro Raba obodo ndị Amọn agha dọta isi obodo eze ha n'agha.
27 Joab zigara Devid ozi sị ya, "Ebuola m agha megide Raba dọta isi mmiri ọṅụṅụ ya
n'agha. 28 Ugbu a chịkọtaa ndị agha fọdụrụ bịa lụpụchaa agha a, ka ị dọta obodo a
n'agha. Ọ bụrụ na i meghị otu a, aga m adọta obodo a n'agha, a ga-akpọkwasịkwa
ya aha m."
29 N'ihi nke a, Devid duuru ndị agha Izrel jeruo Raba, buso ya agha, meriekwa ya.
30 Devid kpupuru okpueze nke dị n'isi eze ha, e kpunye ya n'isi nke ya onwe ya. Ịdị
arọ nke okpueze ahụ ruru kilogram ọlaedo iri atọ na anọ, nke e ji nkume ndị dị oke
ọnụahịa chọọ mma. Devid sitekwara n'obodo ahụ kwakọrọ ọtụtụ ihe nkwata n'agha.
31 Ọ kpọpụtara ndị nọ n'ebe ahụ, manye ha n'ịrụ ọrụ nke e ji mma nkwọ e ji awa
osisi, na igwe e ji egwu ala na anyụike n'arụ. O mere ka ha rụọ ọrụ n'ebe a na-akpụ
blọk brik. Devid mekwara otu ihe a n'obodo niile nke ụmụ Amọn. Emesịa, ya na ndị
agha ya niile laghachiri na Jerusalem.

# 13

### *Amnọn na Tama, na ọnwụ Amnọn*

1 Absalọm nwa Devid nwere otu nwanne nwanyị mara mma, aha ya bụ Tama.* Ma
Amnọn, otu n'ime ụmụ ndị ikom Devid, hụrụ nwaagbọghọ a n'anya.
2 Ma ịhụnanya a Amnọn hụrụ Tama nwanne ya nwanyị mere ya ka ọ daa ọrịa,
n'ihi na ọ bụ ihe rara Amnọn ahụ ịchọpụta ụzọ ya na Tama ga-esi nwee mmekọ, ebe
ọ bụ na Tama bụ nwaagbọghọ na-amaghị nwoke.†
3 Ma Amnọn nwere otu enyi dị aghụghọ, onye aha ya bụ Jonadab, nwa Shimea,
nwanne Devid. 4 Otu ụbọchị, Jonadab bịakwutere Amnọn jụọ ya sị, "Gịnị mere, gị
bụ nwa eze ji na-ata ahụ ụtụtụ niile? Ọ bụ na ị gaghị akọrọ m?"
Amnọn gwara ya sị, "Ahụrụ m Tama n'anya, bụ nwanne Absalọm, nwanne m
nwoke."
5 Jonadab gwara ya sị, "Ọ dị mma. Lee ihe ị ga-eme. Gaa dinaa ala, dịka a ga-asị na
ahụ adịghị gị. Mgbe nna gị bịara ileta gị, gwa ya okwu sị ya, 'Achọrọ m ka nwanne
m nwanyị bụ Tama bịa nye m ihe oriri. Achọrọ m ka ọ nọdụ n'ihu m sie nri ahụ,
mgbe m na-ele ya anya, ka o jirikwa aka ya nye m nri ahụ.' "

---

* **13:1** 13:1 Tama bụ nwa nwanyị Maaka, nwa Talmi, eze Geshua 2Sa 3:3 Amnọn bụ ọkpara Devid, nke Ahinoam nwunye mbụ ya mụtara. N'usoro omenaala, ọ bụ Amnọn kwesiri ịnọchi anya eze ma ọ nwụọ. † **13:2** 13:2 Ụmụ nwanyị ndị na-alụbeghị di na-ebi naanị ha n'ebe e doziri ha ọnọdụ. Adịghị ekwe ka ha ga leta ndị ikom, ọ bụladị ndị ụmụnna ha, bụ ndị nna ha mụtara.

6 Amnọn mere otu a. Mgbe eze bịara ileta ya, Amnọn rịọrọ ya sị, “Biko, ka Tama
bịa ebe a gheere m achịcha ole na ole ebe m ga-ahụ ya anya. Ka o jirikwa aka ya
dozie ya n’ihu m ka m rie ya.”
7 Devid kwenyere, zie Tama ka ọ gaa n’ụlọ Amnọn gaa siere ya nri. 8 Tama gara
n’ụlọ Amnọn, banyekwa n’ime ụlọ ebe o dinaa, ka Amnọn na-ele ya anya mgbe ọ na-
agwọgharị ụtụ ọka. Emesịa, Tama gheere ya achịcha mara mma. 9 Mgbe o cheziri
achịcha ahụ n’ihu Amnọn, Amnọn jụrụ iri ya.
Ihe o mere mgbe ahụ bụ inye ndị na-ejere ya ozi nọ n’ebe ahụ iwu sị ha niile pụọ
ngwangwa. Ha niile pụkwara. 10 Mgbe ahụ, Amnọn gwara Tama okwu sị, “Ugbu a,
wetara m nri ahụ n’ime ụlọ ndina m, bịa jiri aka gị nye m ya.” Tama bugaara ya
achịcha ahụ n’ime ụlọ ebe ihe ndina ya dị. 11 Ma mgbe Tama guzo n’ihu ya, Amnọn
jidere ya n’ike sị ya, “Bịa, soro m dinaa, nwanne m nwanyị.”
12 Tama zara sị ya, “Mba! Nwanne m nwoke. Emerụla m. Ihe dị otu a ekwesighị
ime n’ala Izrel. Emela ihe ọjọọ dị otu a. 13 Olee ihe ga-abụ ọnọdụ m? Oleekwanụ ihe
ga-abụ ọnọdụ gị? Olee ebe m ga-agbala izo onwe m n’ihi ihe ihere ga-adịrị m ma i
mee ihe dị otu a? Ị ga-adị ka otu n’ime ndị nzuzu ọjọọ dị n’Izrel. Biko, gwa eze, ọ
ga-ekwe ka ị lụọ m.” 14 Ma Amnọn egeghị ntị. Ebe ọ bụ na ọ ka Tama ike, o jidere ya
dinaa ya n’ike merụọ ya.
15 Emesịa, Amnọn kpọrọ Tama asị. N’ezie, ọ kpọrọ ya asị ugbu a karịa ịhụnanya ọ
hụrụ ya na mbụ. Ọ gwara Tama okwu sị ya, “Bilie si n’ebe a pụọ ọsịịsọ!”
16 Ma Tama kwara akwa sị ya, “Mba! Ịjụ m otu a ka njọ karịa ihe ọjọọ i mere m.”
Ma Amnọn egeghị ya ntị. 17 Ọ kpọrọ nwokorobịa na-ejere ya ozi sị ya, “Chụpụ
nwanyị a n’ezi, kpachiere m ụzọ n’azụ.” 18 Onyeozi ya chụpụrụ ya n’ezi, kpachie ụzọ
n’azụ ya. Uwe mwụda nwere aka ogologo ka Tama yi, n’ihi na ọ bụ ụdị nke ụmụ ndị
inyom eze na-amaghị nwoke na-eyi. 19 Tama dọwara uwe‡ mwụda ahụ o yi n’ahụ,
werekwa ntụ kpokwasị onwe ya n’isi, buru aka ya n’isi na-eti mkpu akwa dịka ọ
na-ala.
20 Nwanne ya nwoke, Absalọm jụrụ ya sị, “Amnọn, nwanne gị nwoke, o
dinakwuuru gị? Ma ugbu a, nwanne m, gba nkịtị, nwanne gị nwoke ka ọ bụ. Etinyela
ihe a mere n’obi.” Tama nọrọ dịka onye mmadụ niile jụrụ ajụ n’ụlọ nwanne ya
nwoke, bụ Absalọm.
21 Mgbe eze Devid nụrụ ihe ndị a niile, iwe were ya nke ukwuu. 22 Absalọm agwaghị
Amnọn okwu ọbụla, maọbụ nke dị mma, maọbụ okwu ọjọọ. Ma ọ kpọrọ Amnọn asị
nke ukwuu n’ihi ọnọdụ iweda n’ala o wedara nwanne ya Tama, mee ya ihe ihere.

### *Absalọm egbuo Amnọn*

23 Mgbe afọ abụọ gasịrị, mgbe ndị na-akpụchara Absalọm ajị ụmụ atụrụ ya nọ na
Baal-Hazọ, n’oke ala Ifrem, ọ kpọkọtara ụmụ ndị ikom eze niile ka ha bịa n’ebe ahụ.
24 Absalọm jekwuuru eze sị ya, “Ndị na-akpụcha ajị ụmụ atụrụ ohu gị bịara. Eze na
ndịisi ozi ya, ha ga-abịa sonyere m?”
25 Ma eze zara sị ya, “Mba, nwa m, anyị niile agaghị abịa, anyị ga-abụ ibu dị arọ
nye gị.” N’agbanyeghị na Absalọm rugidere ya ma o kweghị aga, kama ọ gọziri ya.
26 Mgbe ahụ, Absalọm rịọrọ nna ya sị, “Ọ dị mma, ọ bụrụ na ị gaghị abịa, ị ga-
emekwa ka nwanna m nwoke Amnọn, na ụmụ eze ndị ọzọ bịa?”
Eze jụrụ ya sị, “N’ihi gịnị ka Amnọn ga-eji soro gị gaa?” 27 Ma Absalọm rụgidere
ya, ya mere o zipụrụ Amnọn na ụmụ eze ndị ọzọ ka ha soro ya gaa.
28 Mgbe ahụ, Absalọm nyere ndị na-ejere ya ozi iwu banyere Amnọn sị, “Cherenụ
ruo mgbe mmanya bidoro igbu ya, mgbe m sịkwara unu tigbuo ya, unu atụla egwu,
tigbuonụ ya. Ọ bụ m na-ekwu ihe ga-eme n’ebe a. Nweenụ obi ike, meekwanụ ya.”

‡ **13:19** 13:19 Jos 7:6; 2Sa 1:2; Job 2:12; 42:6

29 Mgbe oge ruru, ndị ozi Absalọm tigburu Amnọn. Mgbe ahụ, ụmụ eze niile biliri makwasị n'ịnyịnya ha gbalaga.

30 Mgbe ha ka nọ n'ụzọ na-agbaga Jerusalem, ozi eruolarị Devid ntị sị, "Absalọm egbuchaala ụmụ eze niile, ọ dịkwaghị otu onye n'ime ha fọdụrụ ndụ!" 31 Eze biliri
ọtọ, dọwaa uwe ya, daa n'ala, gbatịa onwe ya n'ihi obi ọjọọ. Ndị na-ejere ya ozi dọwakwara uwe ha n'ihi egwu na obi ọjọọ.

32 Ma Jonadab, nwa Shimea, nwanne Devid, sịrị, "Onyenwe m, echekwala na e gburu ụmụ ndị ikom eze niile, kama ọ bụ naanị Amnọn! Nke a bụ ihe Absalọm jikere ime site mgbe Amnọn wakporo nwanne ya nwanyị bụ Tama, dina ya. 33 Ma ugbu
a, ka onyenwe m bụ eze ghara itinye akụkọ banyere ọnwụ ụmụ ndị ikom eze niile, n'obi ya. Ọ bụ naanị Amnọn nwụrụ."

34 Ma Absalọm gbara ọsọ gbalaga.

Ọ dịghị anya nwoke na-anọ n'elu mgbidi Jerusalem na-eche nche, lepụrụ anya hụ ndị mmadụ ka ha si n'ụzọ dị n'akụkụ ugwu nta na-abịa. Nwoke ahụ gara gwa eze sị ya, "Ahụrụ m ndị si n'akụkụ Horonaim, n'akụkụ ugwu na-abịa."

35 Jonadab gwara eze sị, "Lee, ọ bụ ụmụ ndị ikom eze na-alọta dịka m kwuru."

36 Mgbe ha lọbatara, ha bidoro ịkwa akwa nke ukwuu. Eze na ndị na-ejere ya ozi sokwa kwaa akwa.

37 Absalọm gbara ọsọ gbakwuru Talmai nwa Amihud, eze Geshua. Ma eze Devid ruru ụjụ nke ukwuu maka ọnwụ Amnọn.

38 Mgbe Absalọm gbara ọsọ gbaga Geshua, ọ nọrọ n'ebe ahụ afọ atọ. 39 Ọ gụrụ eze
bụ Devid agụụ ịgakwuru Absalọm, n'ihi ọ kasịela obi maka ọnwụ Amnọn.

# 14

*Absalọm alọghachi Jerusalem*

1 Joab, nwa Zeruaya matara na obi eze dị n'ebe Absalọm nọ. 2 Joab zigara ozi na
Tekoa, si n'ebe ahụ kpọta otu nwanyị maara ihe. Mgbe nwanyị ahụ bịaruru, Joab gwara ya sị, "Mee onwe gị dịka onye na-eru ụjụ. Yiri akwa mkpe, etekwala mmanụ otite. Kpaa agwa dịka nwanyị nọ n'iru ụjụ ogologo oge. 3 Emesịa, jekwuru eze, gwa
ya okwu ndị a m na-agwa gị." Joab tinyere okwu ndị ahụ n'ọnụ ya.

4 Mgbe nwanyị ahụ si Tekoa gara na nke eze, ọ dara n'ala kpuo ihu ya n'ala ịsọpụrụ eze. Ọ sịrị, "Biko nyere m aka, gị onye a na-asọpụrụ!"

5 Eze jụrụ ya ajụjụ sị, "Gịnị bụ mkpa gị?"

Ọ zara sị, "Abụ m nwanyị isi mkpe, di m anwụọla. 6 Enwere m ụmụ ndị ikom
abụọ ndị gara lụọ ọgụ n'ọhịa. Mgbe ha na-alụ ọgụ ahụ, o nweghị onye pụtara gboo ha. N'ihi ya, otu n'ime ha tigburu ibe ya. 7 Ma ugbu a, ndị ikwu di m na-esogbu m
na-asị 'Kpọpụta onye ahụ gburu nwanne ya ka anyị gbuo ya n'ihi ndụ nwanne ya o wepụrụ, ka anyị si otu a memilaa onye nke fọdụrụ ga-erita oke ezinaụlọ.' Ha chọrọ isi otu a menyụọ icheku ọkụ nke fọdụụrụ m, nke bụ na di m agaghị enwezikwa aha maọbụ onye fọdụụrụ ya n'elu ụwa."

8 Eze sịrị nwanyị ahụ, "Laa n'ụlọ gị, aga m ahụ na o nweghị onye metụrụ ya aka."

9 Ma nwanyị ahụ si Tekoa sịrị ya, "Ka onyenwe m, bụ eze, gbaghara mụ na ezinaụlọ m, ka ikpe ọmụma ọbụla ghara ịdịrị eze na ocheeze ya."

10 Eze zara ya, "Enyela onwe gị nsogbu maka nke ahụ. Ọ bụrụ na onye ọbụla agwa gị okwu ọbụla, kpọtara m ya. Onye dị otu a agaghị enyekwa gị nsogbu ọzọ."

11 Mgbe ahụ ọ zara, "Biko, ka eze kpọkuo aha ONYENWE ANYỊ Chineke ya ka ọ kwụsị onye na-agwa ọchụ, ka ọ ghara igbu onye ọzọ, ka a gharakwa ịla nwa m nwoke n'iyi."

Ọ sịrị, “Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ,* otu agịrị isi agaghị esi n’isi nwa gị dapụ
n’ala.”
12 Mgbe ahụ, nwanyị ahụ sịrị, “Biko kwere ka ohu gị nwanyị gwa onyenwe m eze
otu mkpụrụ okwu ọzọ.”
Ọ sịrị, “Gaa n’ihu kwuo.”
13 Nwanyị ahụ sịrị, “Ọ bụ n’ihi gịnị ka ị chere ihe dị otu a megide ndị nke
Chineke? Mgbe eze na-ekwu otu a, ọ bụ na ọ dịghị ama onwe ya ikpe, n’ihi na
eze a jụla ịkpọghachi nwa ya a chụpụrụ achụpụ? 14 Anyị niile ga-anwụ. Anyị dịkwa
ka mmiri a wụsara n’ala, nke a na-apụghị ịchịkọtakwa ọzọ. Ma Chineke adịghị
anapụ mmadụ ndụ ya, ma ọ na-emeghepụ ụzọ ga-eme ka onye ọ chụpụrụ achụpụ
lọghachikwutekwa ya.
15 “Ma ugbu a, ebe m bịara ịgwa onyenwe m bụ eze, okwu a, n’ihi na ndị mmadụ
emenyela m egwu. Ohu gị chere n’obi ya, ‘Aga m agwa eze okwu; ma eleghị anya,
ọ ga-emezuru ohu ya nwanyị ihe ọ rịọrọ. 16 Ma eleghị anya eze ga-anapụta ohu ya
nwanyị site n’aka nwoke ahụ na-agbalị ibipụ mụ na nwa m nwoke site n’ihe nketa
nke Chineke.’
17 “Ugbu a, ohu gị nwanyị na-asị, ‘Ka okwu onyenwe m eze kwuru wetara m
izuike, n’ihi onyenwe m eze na-enyochapụta ihe ọma maọbụ ihe ọjọọ dịka mmụọ
ozi Chineke. Ka ONYENWE ANYỊ Chineke gị nọnyere gị.’ ”
18 Mgbe ahụ, eze gwara nwanyị ahụ okwu sị, “Achọrọ m ka ị gwa m eziokwu n’ajụjụ
a m na-aga ịjụ gị.”
Nwanyị ahụ zara sị, “Ka onyenwe m, bụ eze kwuo ihe dị ya n’obi.”
19 Devid jụrụ ya sị, “Aka Joab ọ dị n’okwu ndị a niile?”
Nwanyị ahụ zara sị ya, “Dịka ị na-adị ndụ, onyenwe m, bụ eze, ọ dịghị onye ọbụla
ga-esi n’ihe onyenwe m bụ eze kwuru, chee ihu n’aka nri maọbụ n’aka ekpe. E, ọ
bụ ohu gị Joab nyere m iwu ime nke a, ya gwakwara ohu gị nwanyị okwu niile ndị
a. 20 Ohu gị bụ Joab mere ihe a ka ọ gbanwee otu ọnọdụ ihe dị ugbu a. Onyenwe m
nwere amamihe dịka ndị mmụọ ozi Chineke. Ọ maakwara ihe niile na-eme n’ala.”
21 Eze sịrị Joab, “Ọ dị mma, aga m eme ya. Gaa kpọghachite nwokorobịa ahụ bụ
Absalọm.”
22 Joab dara n’ala kpuo ihu ya n’ala, kpọọ isiala, gọzie eze. Joab sịrị, “Taa ka ohu
gị maara na ahụtala m amara n’ihu gị, onyenwe m bụ eze, n’ihi na eze e merela ohu
ya ihe ọ rịọrọ.”
23 Joab biliri gaa Geshua, kpọlata Absalọm na Jerusalem. 24 Mgbe ha bịaruru, eze
gwara Joab okwu sị, “Gwa ya ka ọ laa n’ụlọ ya. Ọ gaghị abịa n’ihu m, n’ihi na-achọghị
m ịhụ ya anya.” Ya mere, Absalọm lara n’ụlọ ya. Ọ hụkwaghị eze anya.
25 Ọ dịghị nwoke mara mma dịka Absalọm n’ala Izrel niile. Ọ dịkwaghị onye na-
adịghị ekwu okwu banyere ịma mma ya. N’ihi na ntụpọ ọbụla adịghị ya n’ahụ site
n’opi isi ya ruo n’ọbọ ụkwụ ya. 26 Mgbe ọbụla ọ kpụchara ntutu isi ya, n’ihi na ọ bụ
otu ugboro n’afọ ka ọ na-akpụcha agịrị isi mgbe o bidoro ịnyị ya arọ. Ọ na-atụ agịrị
isi a na-akpụchapụta ya n’isi, ịdị arọ ya na-eru narị shekel abụọ† ma a tụọ ya n’ihe
ọtụtụ eze.
27 Absalọm mụtara ụmụ ndị ikom atọ, na otu nwanyị, aha ya bụ Tama.
Nwaagbọghọ a mara mma nke ukwuu.
28 Mgbe Absalọm nọrọ afọ abụọ na Jerusalem na-ahụghị eze anya, 29 o ziri ozi ka
Joab bịa, ka ọ gaa ziere ya eze ozi, ma Joab abịaghị. Absalọm zigakwara ozi ọzọ ka
ọ bịa ma Joab ekweghị ịbịa. 30 N’ikpeazụ, Absalọm gwara ndị na-ejere ya ozi okwu
sị ha, “Gaanụ sunye ubi ọka balị Joab dị n’akụkụ nke m ọkụ.” Ha mekwara dịka a
gwara ha.

* **14:11** 14:11 1Sa 14:45; 1Ez 1:52; Mat 10:30; Ọrụ 27:34 † **14:26** 14:26 Nke a bụ kilo abụọ na ụma atọ

31 Mgbe ahụ, Joab biliri jee n’ụlọ Absalọm, ma sị ya, “Gịnị mere ndị na-ejere gị ozi
ji gbaa ubi m ọkụ?”
32 Absalọm sịrị ya, “Lee ezitere m gị ozi, sị, ‘Bịa n’ebe a ka m ziga gị na nke eze
ka ị jụta, “N’ihi gịnị ka m ji site na Geshua lọghachita? Ọ gara a kara m mma ma a
sị na m nọ n’ebe ahụ ruo ugbu a.” ’ Ugbu a, achọrọ m ka mụ hụ ihu eze, ọ bụrụ na
onwe ajọ omume dị n’ime m, ya mee ka m nwụọ.”
33 Joab gakwuru eze, gwa ya ihe Absalọm kwuru. Mgbe ahụ, eze kpọrọ Absalọm,
onye batara ma kpọọ isiala n’ihu eze. Eze sutukwara ya ọnụ.

# 15

*Nzube ọjọọ Absalọm*

1 Mgbe nke a gasịrị, Absalọm zụtaara onwe ya ụgbọ agha na ịnyịnya na-adọkpụ
ya. O nwetakwaara onwe ya iri ndị ikom ise ndị na-agba ọsọ n’ihu ya. 2 N’isi ụtụtụ,
ọ na-ebili gaa guzo n’akụkụ ọnụ ụzọ e si abata Jerusalem. Ọ bụrụ na ọ hụ onye ọbụla
nwere okwu ọ chọrọ ka eze mara ihe banyere ya, Absalọm na-akpọ onye ahụ jụọ ya
sị, “Olee obodo i si bịa?” Onye ahụ na-aza sị, “Ohu gị si n’otu n’ime ebo dị n’Izrel.”
3 Absalọm na-agwa onye ahụ sị, “Ahụrụ m na okwu gị niile bụ eziokwu. Ma ọ na-
ewute m na eze enweghị onye na-enyere ya aka ịnụ okwu ndị a niile.” 4 Absalọm
na-ekwukwa sị, “Asị na m bụ onye ikpe n’ala Izrel, onye ọbụla nwere okwu na ụka
gaara abịakwute m ka m mee ka ikpe ziri ezi rute ya aka.”
5 Mgbe onye ọbụla bịara ịkpọ isiala nye ya n’ọnọdụ nsọpụrụ, ọ na-eseti aka ya, jide
onye ahụ sutu ya ọnụ. 6 Otu a ka Absalọm sị na-akpaso ndị Izrel agwa, bụ ndị ahụ
niile na-abịakwute eze na-arịọ maka ikpe ziri ezi. O si otu a zuru obi ndị Izrel niile
n’ohi.
7 Mgbe afọ anọ gasịrị, Absalọm bịakwutere eze rịọọ ya sị, “Biko kwere ka m jee
Hebrọn mezuoro Onyenwe anyị nkwa m kwere ya. 8 Mgbe ohu gị bi na Geshua n’ime
Aram, ekweere m nkwa a, ‘Ọ bụrụ na Onyenwe anyị ga-eme ka m lọghachi ọzọ na
Jerusalem, aga m efe ya ofufe na Hebrọn.’ ”
9 Eze sịrị ya, “Gaa n’udo.” Ya mere, ọ pụrụ gaa Hebrọn.
10 Mgbe ahụ, Absalọm zigara ndị ozi na nzuzo, ka ha gaa n’ebo niile nke ala Izrel.
Nke a bụ ihe o ziri ha, “Mgbe unu nụrụ ụda opi ike, tienụ mkpu sị, ‘Absalọm abụrụla
eze na Hebrọn.’ ” 11 Narị mmadụ abụọ si Jerusalem soro Absalọm gaa dịka ndị ọ
kpọrọ oku oriri ma ha amaghị ihe ọbụla. 12 Mgbe Absalọm nọkwa na-achụ aja ahụ, o
ziri ozi ka a kpọọ Ahitofel* onye Gailo, otu n’ime ndị na-adụ Devid ọdụ, ka o si Gailo
bịa nke bụ obodo ya. Nke a mere ka nkwekọrịta nzuzo ọjọọ ahụ na-esi ike karịa, ndị
dịnyere Absalọm na-amụbanyekwa.

*Mgbapụ Devid*

13 Ọ dịghị anya, onyeozi bịaruru Jerusalem gwa Devid na ndị Izrel niile kwagidere
Absalọm.
14 Mgbe ahụ, Devid gwara ndị ọrụ ya niile ndị ya na ha nọ na Jerusalem, sị, “Bilienụ!
Anyị aghaghị ịgbapụ, ma ọ bụghị otu a, ọ dịghị onye n’ime anyị ga-agbanarị Absalọm.
Anyị ga-ahapụ ugbu a, ma ọ bụghị ya, ọ ga-eme ngwa gafee anyị wetara anyị mbibi,
werekwa mma agha gbuchapụ ndị niile nọ n’obodo a.”
15 Ndị na-ejere ya ozi zara sị ya, “Anyị dịnyere gị! Anyị jikekwara ime ihe ọbụla
onyenwe anyị eze kwuru.”
16 Ya mere, eze na ndị ụlọ ya niile si na Jerusalem pụọ. Ọ dịghị onye ọ hapụrụ
karịakwa ndị iko ya nwanyị iri n’ihi ilekọta obieze ahụ. 17 Eze biliri pụọ, ya na ndị
niile so ya, ha kwụsịrị n’oke ala nke obodo ahụ. 18 Ndị niile na-ejere ya ozi, gafere

* **15:12** 15:12 Ahitofel bụ nna nna Batsheba, nke a dị n’akwụkwọ 2Sa 11:3; 23:34

n’akụkụ ya, ha na ndị Keret na Pelet, na narị ndị ikom isii ndị Git, bụ ndị so ya site
na Gat, gafekwara nọrọ n’ihu eze.
19 Mgbe ahụ, Devid tụgharịrị kpọọ Itai, onye Git, ọchịagha narị ndị agha isii ahụ sị
ya, “Gịnị mere i ji eso m? Laghachi azụ soro eze Absalọm, n’ihi na ị bụ ọbịa n’Izrel,
onye gbatara ọsọ ndụ. 20 Ọ dịbeghị anya kemgbe ị bịara. M ga-esi aṅaa kwere ka i
soro m na-awagharị, ebe ọ bụ na m amaghị ebe m na-aga. Chịrị ndị agha gị laghachi.
Ka obiọma na ikwesi ntụkwasị obi dịnyere unu.”
21 Ma Itai zara eze sị, “Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, onyenwe m na-adịkwa ndụ,
ebe ọbụla onyenwe m bụ eze ga-anọ, ma ọ pụtara ndụ maọbụ ọnwụ, n’ebe ahụ ka
odibo gị ga-anọkwa.”
22 Devid sịrị Itai, “Gaa n’ihu, gabiga.” Ya mere Itai, onye Git gabigara ya na ndị
ikom ya niile, na ezinaụlọ niile ndị so ya.
23 Obodo niile tiri mkpu akwa mgbe ndị ahụ niile na-agabiga. Eze gafere ọdọ mmiri
Kidrọn, ya na ndị mmadụ niile chere ihu n’ụzọ ọzara.
24 Zadọk bịakwara, ya na ndị Livayị niile, ndị bu igbe ọgbụgba ndụ Chineke.
Ha dọbara igbe ọgbụgba ndụ Chineke n’ala. Abịata chụgidere aja tutu ruo mgbe
mmadụ niile sitere n’obodo ahụ gabigasịrị.
25 Mgbe ahụ, eze sịrị Zadọk, “Bughachi igbe Chineke a n’ime obodo. Ọ bụrụ na
m ahụta amara n’anya ONYENWE ANYỊ, ọ ga-akpọghachi m mee ka m hụ ya, na ebe
obibi ya anya ọzọ. 26 Ma ọ bụrụ na ọ sị, ‘Ihe banyere gị adịghị atọkwa m ụtọ,’ lee m,
ya mee m otu o si dị ya mma n’anya.”
27 Mgbe ahụ, eze gwara Zadọk bụ onye nchụaja sị, “Ọkwa ị bụ onye ọhụ ụzọ?
Laghachi n’obodo n’udo, kpọrọ Ahimaaz nwa gị nwoke, na Jonatan nwa Abịata. Gị
na Abịata kpọrọ ụmụ unu ndị ikom abụọ ndị a laghachi n’obodo. 28 Aga m akwụsị
chere n’ebe e si akwọfe osimiri Jọdan, ruo mgbe ozi ga-esi n’ebe ị nọ bịa.” 29 Mgbe
ahụ, Zadọk na Abịata bughachiri igbe Chineke na Jerusalem. Ha nọdụkwara n’ebe
ahụ.
30 Ma Devid na ndị so ya chere ihu irigo Ugwu Oliv. Mgbe ọ na-aga, Devid nọ na-
akwa akwa. O yikwaghị ihe ọbụla n’ụkwụ ya, ma o ji ihe kpuchie isi ya.† Ndị niile so
ya kpuchikwara isi ha na-akwakwa akwa ka ha na-arịgo. 31 Mgbe a gwara Devid na
Ahitofel onye na-adụ ya ọdụ dịnyere Absalọm, Devid kpere ekpere sị, “O ONYENWE
ANYỊ, biko, tụgharịa ndụmọdụ Ahitofel ka ọ bụrụ ndụmọdụ nzuzu.”
32 Mgbe Devid bịaruru n’elu Ugwu Oliv, ebe ndị mmadụ na-anọ na-efe Chineke
ofufe, Hushaị, onye Akai‡ nọ n’ebe ahụ na-eche izute ya. Uwe ya dọwakwara adọwa,
aja dịkwa ya n’isi. 33 Ma Devid sịrị ya, “Ọ bụrụ na i soro m, ị ga-abụ ibu arọ nye m.
34 Ma ọ bụrụ na ị laghachi n’obodo, sị Absalọm, ‘Aga m abụ ohu gị, eze. Abụ m ohu
nna gị n’oge gara aga, ugbu a aga m abụ ohu gị.’ N’ụzọ dị otu a ị ga-enyere m aka
mebie ndụmọdụ Ahitofel. 35 Ọ bụ na Zadọk na Abịata ndị nchụaja agaghị eso gị nọdụ
n’ebe ahụ? Gwa ha ihe ọbụla ị ga-anụta n’ụlọeze. 36 Ụmụ ha ndị ikom, Ahimaaz nwa
Zadọk na Jonatan nwa Abịata so ha nọdụ n’ebe ahụ. Zitere m ha ka ha gwa m ihe
ọbụla ị nụtara.”
37 Ya mere Hushaị, enyi Devid, bịarutere Jerusalem mgbe Absalọm na-abata obodo
ahụ.

# 16

*Devid na Ziba*

† **15:30** 15:30 Nke a na-egosipụta ọnọdụ obi ọjọọ na iru ụjụ. Gụọ 2Sa 19:4; Est 6:12; Izk 24:17,23; Aịz 20:2-4
‡ **15:32** 15:32 Ndị Juu na ndị Akai nwere ka ha si bụrụ nwanne, e dere nke a n’akwụkwọ. Jos 16:2

[1] Mgbe Devid gafechara elu ugwu ahụ na-agbada n’akụkụ nke ọzọ ya, Ziba, onye na-elekọta akụ Mefiboshet, guzo na-eche ya. Ọ chị ịnyịnya ibu bu narị ogbe achịcha abụọ, na otu narị ụyọkọ mkpụrụ vaịnị a mịkpọrọ amịkpọ na narị ụyọkọ mkpụrụ osisi ndị ọzọ, na karama akpụkpọ buru ibu mmanya juru n’ime ya.
[2] Eze jụrụ Ziba sị, “Gịnị mere i ji bute ihe ndị a?”
Ziba zara sị, “Ịnyịnya ibu ndị a bụ nke ndị ụlọeze ga-anọkwasị. Achịcha na mkpụrụ osisi ndị a bụ nke ndị ikom gị ga-eri. Mmanya a bụ nke ndị na-ada mba n’ọzara ga-aṅụ.”
[3] Eze jụrụ ya sị, “Ebeekwanụ ka nwa nna gị ukwu nọ?”
Ziba zara ya sị, “Ọ nọ na Jerusalem n’ihi na ọ sịrị, ‘Taa ụlọ Izrel ga-enyeghachi m alaeze nna nna m.’ ”
[4] Eze gwara Ziba sị ya, “N’ihi ya, enyela m gị ihe niile Mefiboshet nwere, ha ga-abụkwa nke gị.”
Ziba sịrị, “Ka m hụta amara n’ihu eze, bụ onyenwe m.”

### *Shimei abụọ Devid ọnụ*

[5] Dịka eze bụ Devid na-abịaru obodo Bahurim,* lee, otu nwoke sitere n’agbụrụ ụlọ
Sọl sitere n’ebe ahụ pụta. Ọ bụ Shimei† nwa Gera. Ọ na-akọcha mgbe ọ na-apụta
ya. [6] Ọ chịịrị nkume na-atụ Devid na ndị ozi eze niile. Ọ bụ ezie na ndị agha Izrel
na ndị na-eche Devid nche gbara ya gburugburu n’aka nri na aka ekpe. [7] Ma dịka
Shimei na-akọcha, ọ sịrị, “Si n’ebe a pụọ, si n’ebe a pụọ, gị ogbu mmadụ, gị onye
ọjọọ! [8] ONYENWE ANYỊ akwụghachila gị ụgwọ ọbara niile ị wụsiri n’ezinaụlọ Sọl,
onye ị nọchiri ọnọdụ ya dịka eze. ONYENWE ANYỊ anapụla gị alaeze ahụ, were ya nye
Absalọm nwa gị! Ugbu a, ihe i metara abịala gị ụgwọ, gị ogbu mmadụ.”
[9] Abishai, nwa Zeruaya‡ gwara eze okwu sị, “N’ihi gịnị ka nkịta a nwụrụ anwụ ga-eji na-akọcha onyenwe m bụ eze? Biko, ka m gafee gaa bipụ ya isi.”
[10] Ma eze zara sị, “Gịnị jikọrọ mụ na unu, unu ụmụ ndị ikom Zeruaya. Ọ bụrụ na ọ na-akọcha m n’ihi na ONYENWE ANYỊ sị ya ‘Kọchaa Devid,’ onye pụrụ ịjụ ajụjụ sị, ‘Gịnị mere ị ji na-eme ihe dị otu a?’ ”
[11] Mgbe ahụ, Devid gwara Abishai na ndị ozi ya okwu sị, “Nwa m nwoke, onye
si n’ahụ m na-agbalị ịnapụ m ndụ m. Gịnị ga-eme ka onye Benjamin a ghara ime
karịa? Hapụ ya, ya kọchaa, n’ihi na ONYENWE ANYỊ agwala ya ka ọ kọchaa m. [12] Ma
eleghị anya, ONYENWE ANYỊ ga-ahụ ọnọdụ ahụhụ m, nyeghachikwa m ngọzị n’ọnọdụ
nkọcha ndị a.”
[13] Ya mere, Devid na ndị ya gakwara n’ihu ije ha n’ụzọ ahụ ma Shimei sokwara
ha na-aga n’akụkụ ugwu ahụ na-akọcha ha. Ọ nọgidekwara na-atụ Devid nkume,
na-ekpolikwa aja elu ka ọ na-awụsa ha n’ahụ. [14] Ya mere, eze na ndị niile so ya
gagidere bịaruo n’akụkụ Jọdan n’ọnọdụ ike ọgwụgwụ. N’ihi ya, ha nọdụrụ n’ebe
ahụ zuo ike.

### *Ndụmọdụ Hushaị na Ahitofel*

[15] Ma Absalọm na ndị Izrel abatalarị Jerusalem. Ahitofel sokwa ya. [16] Mgbe Hushaị,
enyi Devid, onye Akai bịaruru, ọ gara hụ Absalọm sị ya, “Ka eze dị ogologo ndụ, ka
eze dị ndụ.”
[17] Absalọm sịrị Hushaị, “Ọ bụ otu a ka i si egosi ịhụnanya i nwere na-ebe enyi gị nọ? Gịnị mere i soghị ya?”
[18] Hushaị zara Absalọm sị, “Mba! Onye ahụ ONYENWE ANYỊ na ọha mmadụ na ndị Izrel niile họpụtara, nke onye ahụ ka m ga-abụ. Ọ bụkwa onye ahụ ka m ga-adịnyere.

---

* **16:5** 16:5 2Sa 3:16 † **16:5** 16:5 2Sa 19:21; 1Ez 2:8,44-46 ‡ **16:9** 16:9 Zeruaya bụ nwanne nwanyị Devid, ya mere Joab na Abishai bụ ụmụ nwanne ya.

19 Ma onye kwanụ ka m kwesiri ijere ozi? Ọ bụghị nwa eze? Ejeere m nna gị ozi,
ugbu a anọkwa m jikere ijere gị ozi!”
20 Absalọm tụgharịrị gwa Ahitofel okwu sị, “Gịnị ọzọ ka m ga-eme? Nye anyị
ndụmọdụ gị. Gịnị ka anyị kwesiri ime?”
21 Ahitofel zara, “Ga dinaa ndị iko nwanyị nna gị ndị ahụ ọ hapụrụ ka ha lekọtaa
ụlọ. Mgbe ahụ, Izrel niile ga-anụ na ị meela onwe gị ihe na-asọ oyi n’ebe nna gị nọ,
aka ndị niile nọnyere gị ga-akwụkwa chịm.” 22 Ya mere, ha manyeere Absalọm ụlọ
ikwu n’elu ụlọ; ọ kpọkwaara ndị iko nwanyị nna ya dinaa ha n’otu n’otu, n’ihu ndị
Izrel niile.
23 N’oge ahụ, ndụmọdụ ọbụla Ahitofel dụrụ dị ka a ga-asị na ọ bụ ozi si n’ọnụ
Chineke n’onwe ya bịa. Ọ bụladị n’ebe Devid nọ, na n’ebe Absalọm nọkwa, otu a ka
esi bulie ndụmọdụ ọbụla Ahitofel nyere elu.

# 17

1 Ahitofel gwara Absalọm sị ya, “Kwere ka m họpụta puku ndị ikom iri na abụọ
ka m duru ha chụso Devid ọsọ n’azụ n’abalị taa. 2 Aga m abịakwasị ya mgbe ike
gwụrụ ya, mgbe obi ya na-ada mba. Aga m emenye ya egwu nke ga-eme ka ọ maa
jijiji. Mgbe ahụ, ndị niile so ya ga-agbasasịkwa. Ọ bụ naanị eze ka m ga-egbu 3 Aga
m eme ka ndị ya niile lọghachikwute gị. Ọnwụ nke otu nwoke a ị na-achọsi ndụ ya
ike ga-eme ndị ọzọ niile ịlọghachikwute gị, onye ọbụla ga-anọ n’udo.” 4 Atụmatụ
ahụ ziri ezi n’anya Absalọm na ndị okenye niile nke Izrel.*
5 Ma Absalọm kwuru sị, “Kpọọ Hushaị onye Akai ka anyị jụọ ya ihe ọ chere banyere
okwu a.” 6 Mgbe Hushaị bịakwutere ya, Absalọm sịrị ya, “Ahitofel nyere ndụmọdụ
dị otu a. Gịnị ka ị chere? Anyị ga-eme ihe o kwuru? Ọ bụrụ na anyị agaghị eme ya,
gị onwe gị kwuo nke gị.”
7 Hushaị zara Absalọm sị, “Ndụmọdụ Ahitofel dụrụ n’oge a adịghị mma. 8 Ọ sịrị,
Gị onwe gị maara nna gị na ndị ikom ya; ha bụ ndị dike n’agha, mkpụrụobi ha dịkwa
ilu ugbu a dịka anụ ọhịa bịa a gbabara aka nwa n’ọhịa. Nna gị bụ onye ihe banyere
agha doro anya. Ọ gaghị eso ndị ya nọọ ọnọdụ abalị. 9 Ọ bụladị ugbu a, o zoola
onwe ya n’ime otu olulu maọbụ n’ime ọgba nkume. Ọ bụrụ na ọ pụta buru ụzọ buso
ndị agha gị agha, onye ọbụla nụrụ ya ga-ekwu sị, ‘Etigbuola ndị agha Absalọm oke
ntigbu.’ 10 Mgbe ahụ, ọ bụladị dimkpa n’agha ndị nwere obi ọdụm, ụjọ ga-atụkwa
ha. Ha agaghị ekwekwa ịga n’ihu ọgụ. N’ihi na Izrel niile maara na nna gị bụ dike.
Ha maakwara na ndị agha ya bụkwa ndị obi kara aka.
11 “Ndụmọdụ m na-enye bụ nke a: chịkọtaa ndị Izrel niile, site na Dan ruo
Bịasheba, ha dịka aja nke dị n’akụkụ oke osimiri. Ọ bụkwa gị ga-edu ha n’agha
ahụ. 12 Mgbe ahụ, anyị ga-ebuso ya agha ebe ọbụla anyị hụrụ ya; anyị ga-abịakwasị
ya dịka igirigi si adakwasị ala. Anyị ga-egbu ya, gbukwaa ndị niile so ya. Otu onye
agaghị afọdụkwa n’ime ha. 13 Ọ bụrụkwa na o zoo onwe ya n’otu obodo, mgbe ahụ
Izrel niile ga-eweta ụdọ n’obodo ahụ, anyị ga-adọtu ya dọbanye ya na ndagwurugwu,
ruo mgbe ọ bụladị otu nkume ga-afọdụ n’ebe ahụ.”
14 Absalọm na ndị ikom Izrel niile sịrị, “Ndụmọdụ Hushaị, onye Akai dị mma karịa
nke Ahitofel.” Ma ONYENWE ANYỊ ekpebielarị imebi ezi ndụmọdụ Ahitofel ka o si otu
a wetara Absalọm ihe ndakwasị ọjọọ.
15 Hushaị gwara Zadọk na Abịata, ndị nchụaja, “Otu a na ihe ndị a ka Ahitofel
dụrụ Absalọm na ndị okenye Izrel n’ọdụ ka ha mee, ma otu a na nke a ka mụ onwe
dụkwaranụ n’ọdụ. 16 Ugbu a, meenụ ngwa, ziga ozi gwa Devid sị, ‘Anọkwala ọnọdụ
abalị n’ụzọ ngabiga nke osimiri n’ime ọzara, kama gabiga na-atụfughị oge, ma ọ
bụghị otu a, ma eze ma ndị niile ya na ha soo ga-abụ ndị elodara.’ ”

* **17:4** 17:4 Ha nabatara atụmatụ ahụ

17 Jonatan na Ahimaaz nọ n’akụkụ En-Rogel ka a ghara ihu ha mgbe ha na-abata
n’obodo. Otu nwaagbọghọ na-eje ozi na-aga zie ha ozi, ha onwe ha agaa zie eze
Devid. 18 Ma otu nwokorobịa hụrụ ha gaa gwa Absalọm. Ya mere, ha abụọ mere
ngwangwa baa n’ụlọ otu nwoke onye Bahurim, onye nwere olulu mmiri n’ogige ya,
ha rịdara n’ime olulu ahụ 19 Nwunye nwoke ahụ weere ihe mkpuchi ya tụsaa n’ọnụ
olulu mmiri ahụ gbasaakwa mkpụrụ ọka n’elu ya.† Ọ dịghị onye maara maka ya.
20 Mgbe ndị ozi Absalọm bịaruru jụọ nwanyị ahụ, “Olee ebe Ahimaaz na Jonatan
nọ”?
Nwanyị ahụ zara, “Ha agafeela mmiri iyi.” Ndị ozi Absalọm chọrọ ha ma ha ahụghị
ha. Ha laghachiri na Jerusalem.
21 Mgbe ha lawara, mmadụ abụọ ahụ sitere n’olulu mmiri ahụ rigopụta, gaa gwa
eze Devid. Ha sịrị ya, “Bilie gafeenụ mmiri ngwangwa, n’ihi na Ahitofel adụọla
Absalọm ọdụ otu a na otu a megide gị.” 22 Nke a mere Devid na ndị niile so ya
biliri gafee osimiri Jọdan. Mgbe chi ụtụtụ na-abọ, ha niile nọ n’ofe nke ọzọ Jọdan.
23 Mgbe Ahitofel hụrụ na-emeghị ndụmọdụ ya, o biliri jikwaa ịnyịnya ibu ya, laa
n’ụlọ ya n’obodo ya. Mgbe o ruru n’ụlọ ya, o doziri n’ezinaụlọ ya n’usoro, were ụdọ
kwụgbuo onwe ya. Ọ nwụrụ. E lie ya n’ili nna ya.

### *Ọnwụ Absalọm*

24 Devid batara Mahanaim oge Absalọm gabigara Jọdan, ya na ndị ikom Izrel so ya.
25 Absalọm họpụtakwara Amasa mee ya onyeisi ndị agha, n’ọnọdụ Joab. Amasa bụ
nwa nwoke Itra, onye Ishmel,‡ onye lụrụ Abigel, nwa nwanyị Nahash, onye bụkwa
nwanne nwanyị Zeruaya nne Joab. 26 Absalọm na ndị agha Izrel mara ụlọ ikwu ha
n’ala Gilead.
27 Mgbe Devid bịarutere Mahanaim, Shobi nwa Nahash onye obodo Raba nke dị
n’ala ndị Amọn, na Makia§ nwa Amiel onye si Lo Deba, na Bazilai, onye Gilead si
Rogelim 28 wetara ute e ji edina ala, na ite isi nri, na efere e ji eri nri bụ ọrụ onye
ọkpụ ite. Tinyere ọka wiiti na ọka balị, ụtụ ọka na ọka a ṅara n’ọkụ, akịdị na lentil.
29 O wetakwara mmanụ aṅụ, na bọta, atụrụ na chiizi nke sitere na mmiri ara ehi nye
Devid na ndị so ya ka ha rie. N’ihi na ha sịrị, “Ike agwụla ndị mmadụ, agụụ na-agụ
ha, akpịrị na-akpọkwa ha nkụ, n’ime ọzara.”

# 18

1 Devid gụkọtara ndị ya na ha so ma họpụta ndịisi agha. Doo ụfọdụ ka ha chịa
ọtụtụ puku ndị agha, ụfọdụ ka ha chịa ọtụtụ narị ndị agha. 2 Devid zipụrụ ndị agha
ya, otu ụzọ n’ime ụzọ atọ n’okpuru Joab, Ọ họpụtakwara Abishai, nwanne Joab, nwa
Zeruaya, ka ọ chịa otu ụzọ. Ma otu ụzọ nke fọdụrụ ka o tinyere n’aka Itai onye Gat.
Eze gwara ndị agha ahụ sị, “Mụ onwe m ga-edu unu gaa agha.”
3 Ma ndị ikom ahụ sịrị, “Ị gaghị apụkwa ọzọ n’ihi na ọ bụrụ na anyị atụgharịa
bido ịgba ọsọ, ọ bụrụkwa na otu ọkara n’ime anyị anwụọ, nke ahụ agaghị emetụ ha
n’obi. Naanị gị ka ha na-achọ. Ị dịkwa mkpa karịa puku ndị agha iri. Ọ ga-akara
anyị mma ugbu a ka ị na-ezitere anyị inyeaka site n’ime obodo.”
4 Eze zara n’ikpeazụ sị, “Ihe ọbụla dị mma n’anya unu ka m ga-eme.”
Ya mere, eze guzoro n’akụkụ ọnụ ụzọ ama dịka ndị ikom ya niile na-apụ n’usu
nke ọtụtụ narị, nakwa n’usu nke ọtụtụ puku. 5 Eze nyere ndịisi agha ya, bụ Joab,
Abishai na Itai, iwu sị ha, “Bikonu, n’ihi m, werenụ nwayọọ n’ebe nwokorobịa ahụ
bụ Absalọm nọ.” Ndị agha niile nụkwara mgbe eze nyere ndịisi niile iwu a banyere
Absalọm.

† **17:19** 17:19 Jos 2:4-6 ‡ **17:25** 17:25 Lee anya na 1Ih 2:17. Ụfọdụ akwụkwọ mgbe ochie nke ndị Hibru nakwa ndị ọzọ na-asị Onye Izrel § **17:27** 17:27 Makia bụ nwoke ahụ nabatara Mefiboshet n’ụlọ ya. 2Sa 9:4

6 Ndị agha Devid si n'obodo pụọ izute ndị Izrel n'agha. Alụrụ agha a n'ọhịa
Ifrem. 7 Ndị agha Devid tigbukwara ndị agha Izrel. Ha gburu iri puku ndị agha
abụọ n'ụbọchị ahụ. 8 Agha ahụ gbasara n'elu ala ahụ niile. Ndị nwụrụ n'ọhịa n'etiti
ụmụ Izrel karịrị ndị e gburu egbu.
9 Absalọm zutere ndị agha Devid. Ọ na-anọkwasị n'elu ịnyịnya ya n'oge a, dịka
ịnyịnya ahụ sitere n'okpuru osisi ook ukwu dị n'ọhịa ahụ na-agbafee, agịrị isi ya
konyere n'alaka osisi ahụ, tụhịkọtaakwa, nke mere na ọ kwụrụ n'etiti eluigwe na
ala. Ma ịnyịnya ya gbaara na-aga.
10 Otu n'ime ndị ikom ahụ hụrụ ya, kọọrọ Joab, "Lee, ahụrụ m Absalọm ebe ọ kwụ
n'elu osisi ook."
11 Joab sịrị nwoke ahụ onye gwara gị, "Gịnị, ị hụrụ ya? Gịnị mere i tigbughị ya ka
o ruo n'ala n'ebe ahụ? Mgbe ahụ, agaara m enye gị shekel ọlaọcha iri, na belịt a
na-enye onye bụ dike n'agha."
12 Ma nwoke ahụ zara sị, "A sịkwarị na e nyere m puku ọlaọcha n'aka m a, agaraghị
m egbu ya. N'ihi na anyị niile nụrụ mgbe eze na-agwa gị na Abishai na Itai sị, 'Lezienụ
anya banyere nwokorobịa bụ Absalọm, n'ihi m.' 13 A sị na m gburu ya, ọ ga-abụ
imegide eze. Ọ ga-emesiekwa chọpụta onye mere ya. Ma gị onwe gị agaraghị apụta
kwuchite ọnụ m."
14 Joab sịrị, "Ọ bụghị otu a ka m ga na-eche n'ihu gị." Ya mere, ọ chịịrị ùbe atọ
n'aka ya, dubaa ha n'obi Absalọm, mgbe Absalọm ka dị ndụ makwụrụ n'elu osisi ook.
15 Ụmụ okorobịa iri ndị na-ebu ihe agha Joab gbara Absalọm gburugburu, tigbuo ya.
16 Emesịa, Joab fụrụ opi ike nke mere ka ndị agha Devid na-achụ ndị Izrel kwụsị
ịchụ ha ọsọ, n'ihi na Joab kwụsịrị ha. 17 Ha buuru ozu Absalọm tụba ya n'olulu ukwu
dị n'oke ọhịa ahụ, werekwa nkume tụọ ya n'elu. Ndị agha Izrel niile gbalara n'ụlọ
ha.
18 N'oge Absalọm dị ndụ, o wuuru onwe ya ogidi ncheta. O wuru ogidi a na
Ndagwurugwu Eze, n'ihi na o chere n'ime onwe ya sị, "Enweghị m nwa nwoke ga-aza
aha m." Ya mere, ọ gụrụ ogidi ahụ aha nke ya onwe ya. Ọ bụkwa Ogidi Absalọm ka
a na-akpọ ya ruo taa.

### *Iru ụjụ Devid*

19 Mgbe ahụ, Ahimaaz, nwa Zadọk,* bịakwutere Joab sị ya, "Biko, ka m gbara ọsọ
gaa zie eze oziọma a, na Onyenwe anyị azọpụtala ya site n'aka ndị iro ya."
20 Ma Joab zara sị ya, "Ọ bụghị gị ga-ezi eze ozi taa. I nwere ike ime ya mgbe ọzọ,
ma ọ bụghị taa, n'ihi na nwa eze nwụrụ."
21 Joab gwara otu nwoke onye Kush sị ya, "Gaa gwa eze ihe ị hụrụ." Nwoke ahụ
kpọrọ isiala, gbapụ ọsọ.
22 Ahimaaz nwa Zadọk rịọkwara Joab ọzọ sị ya, "Otu ọbụla o si dị, biko kwere ka
m gbaso onye Kush a."
Ma Joab zara sị, "Nwa m nwoke, gịnị mere i ji chọọ ị ga? I nweghị ozi ọbụla ị ga-ezi
nke ga-ewetara gị ụgwọ ọrụ."
23 Ọ rịọrọ sị, "Otu ọbụla o si dị, hapụ m ka m gaa."
N'ikpeazụ Joab kwenyere sị ya, "Ọ dị mma, gbara ọsọ gaa." Ahimaaz sitere n'ụzọ
dị mkpụmkpụ nke gafere obosara ala Jọdan buru nwoke Kush ahụ ụzọ gbaruo.
24 Devid nọ n'ọnụ ụzọ ama n'oge a. Mgbe onye nche rigoruru n'elu mgbidi ebe ọ
na-anọ, ọ hụrụ otu nwoke ka ọ na-agba ọsọ naanị ya. 25 Onye nche ahụ kpọrọ Devid
oku gwa ya na o nwere onye na-abịa.
Ma eze zara ya sị, "Ọ bụrụ naanị ya, o nwere oziọma." Mgbe onyeozi ahụ na-abịaru
nso,

---

* **18:19** 18:19 2Sa 15:36; 17:17

26 onye nche ahụ lepụkwara anya hụ otu nwoke ọzọ ka o ji ọsọ na-abịa naanị ya.
Ọ kpọkwara oku ọzọ sị, "Onye ọzọ na-abịakwa."
Eze zara sị, "Onye ahụ ga-enwekwa ozioma."
27 Onye nche ahụ zara sị, "Onye nke mbụ na-abịa dị ka Ahimaaz, nwa Zadọk,"
Eze zara sị, "Ọ bụ ezi mmadụ, ọ bụkwa ozioma ka o ji na-abịa."
28 Mgbe ahụ, Ahimaaz kpọrọ eze oku sị, "Udo!" Ọ kpọrọ isiala nye eze. Kpuokwa
ihu ya n'ala sị, "Ngọzị na-adịrị ONYENWE ANYỊ Chineke gị. Onye nke mebiri nzube
ndị ahụ niile weliri aka imegide onyenwe m bụ eze."
29 Eze jụrụ ya sị, "Oleekwanụ maka nwokorobịa ahụ bụ Absalọm? Ọ nọkwa n'udo?"
Ahimaaz zara sị, "Mgbe Joab zipụrụ ohu eze, na mụ onwe m, oke ụzụ dị, ma amaghị
m ihe kpatara ya."
30 Eze gwara ya sị, "Chere n'ebe a." Ahimaaz chigharịrị chere.
31 Mgbe ahụ, onye Kush ahụ bịarutere sị, "Onyenwe m bụ eze, nụrụ ozioma a. Taa
ONYENWE ANYỊ ekpepụtala gị site n'ịnapụta gị n'aka ndị niile biliri imegide gị."
32 Eze jụrụ onye Kush ahụ, "Nwokorobịa ahụ bụ Absalọm, ọ nọkwa n'udo?"
Onye Kush ahụ zaghachiri, "Ka ndị iro onyenwe m bụ eze na ndị niile na-ebili imejọ
gị dị ka nwokorobịa ahụ!"
33 Okwu a metụrụ eze n'ahụ nke ukwuu, o biliri rigoo n'ụlọ nke dị n'ọnụ ụzọ ama,
nọdụ n'ebe ahụ kwaa akwa. Ọ nọ na-akwa akwa mgbe ọ na-aga, na-eti mkpu akwa
na-asị, "O, nwa m, Absalọm! O nwa m, nwa m, Absalọm. A sịkwarị na m nwụrụ
n'ọnọdụ gị! O, Absalọm nwa m, nwa m oo!"

# 19

1 Ọ dịghị anya ozi ruru Joab ntị sị, "Lee, eze na-akwa akwa, na-eru ụjụ n'ihi
Absalọm." 2 Mgbe ndị agha ya nụrụ na eze nọ n'oke iru ụjụ n'ihi nwa ya, mmeri
ha ghọọrọ ha ihu mgbarụ n'ụbọchị ahụ. 3 Ndị agha Devid niile zobatasịrị onwe ha
n'ime obodo dịka a ga-asị na ha bụ ndị ihere na-eme dịka ndị e meriri n'agha. 4 Eze
kpuchiri ihu ya nọgidekwa na-akwa akwa na-asị, "O, nwa m Absalọm! O! Absalọm
nwa m, nwa m!"
5 Emesịa, Joab jekwuuru eze n'ụlọ sị ya, "Anyị zọpụtara ndụ gị, na ndụ ụmụ gị ndị
ikom na ndị inyom, na ndị nwunye gị, na ndị iko gị nwanyị taa, ma lee ka ị si emeso
anyị. Ị na-eme ka ihere mee anyị, dịka a ga-asị na anyị mere ihe ọjọọ. 6 Ị hụrụ ndị
iro gị n'anya, ma na-akpọ ndị hụrụ gị n'anya asị. I meela ya ka ọ pụta ìhè taa na o
nweghị ihe ndị ọchịagha gị na ndị agha gị bụ n'anya gị. Ahụrụ m na ọ gaara abụ ihe
ziri ezi n'anya gị ma a sịkwarị na Absalọm dị ndụ taa, ma anyị niile anwụọ. 7 Ugbu
a, pụọ gaa kelee ndị agha gị. Eji m aha ONYENWE ANYỊ na-aṅụ iyi na-asị na ọ bụrụ
na ị pụghị n'ezi kelee ha, otu onye n'ime ha agaghị afọdụ n'ebe a mgbe chi taa jiri,
mgbe ahụ ihe ga-ajọrọ gị njọ karịa ihe niile i jirila anya gị hụ na ndụ gị."
8 Ya mere, eze biliri nọdụ ọdụ n'ọnụ ụzọ ama. Mgbe ndị agha nụrụ na eze nọ n'ọnụ
ụzọ ama, ha niile pụtara guzo n'ihu ya.
Ma n'oge a, ndị Izrel niile agbalaala, onye ọbụla n'ụlọ ya.

### *Devid alọghachi Jerusalem*

9 N'etiti ebo Izrel niile, ndị mmadụ nọ na-arụ ụka na-asị, "Eze napụtara anyị site
n'aka ndị iro anyị. Ọ bụ ya napụtara anyị site n'aka ndị Filistia. Ma ugbu a, o sitela
n'ala a gbapụ n'ihi Absalọm." 10 Absalọm, onye anyị tere mmanụ ka ọ chịa anyị
anwụọla n'agha. Gịnị mere, unu a gaghị ekwu okwu i kpọghachite eze anyị?
11 Eze Devid zigaara Zadọk na Abịata, ndị nchụaja ozi a, "Jụọnụ ndị okenye Juda
sị, 'N'ihi gịnị ka unu ga-eji bụrụ ndị ikpeazụ ime ka eze lọghachi n'obi ya, ebe ọ bụ
na ihe a na-ekwu n'ala Izrel niile eruola eze ntị n'ebe o bi? 12 Ụmụnne m ka unu bụ,
ọkpụkpụ m na anụ ahụ m. Gịnị mere unu ga-eji bụrụ ndị ikpeazụ ga-akpọlata eze

n'ụlọ ya?' 13 Gwakwanụ Amasa sị ya, 'Ọ bụ na ị bụghị ọkpụkpụ m na anụ ahụ m?
Ka Chineke mesoo m mmeso otu ọbụla mmeso ahụ si dị njọ, ma ọ bụrụ na ị bụghị
ọchịagha m malite taa n'ọnọdụ Joab.' "
14 Amasa mere ka obi ndị okenye Juda rulata, dịka otu mmadụ. Ha zigara eze ozi,
sị, "Lọghachikwute anyị, gị na ndị ohu gị niile." 15 Mgbe ahụ, eze lọghachitere na
Jọdan.
Ndị ikom Juda bịarutere Gilgal izute eze, na ịkpọfeta ya Jọdan. 16 Shimei, nwa
Gera, onye Benjamin, nwoke ahụ sitere na Bahurim, mere ngwangwa soro ndị ikom
Juda pụta izute eze Devid. 17 Ya na puku ndị ikom Benjamin sokwa. Ziba, onyeozi
Sọl, na ụmụ ya ndị ikom iri na ise, na iri ndị ozi abụọ ndị ozi ya, mekwara ngwangwa
ịbịarute Jọdan tupu eze erute n'ebe ahụ. 18 Ha gabigara mmiri n'ebe ọ dị nta ịkwọfe
ndị ụlọeze n'ụgbọ mmiri, na ime ihe ọbụla dị mma n'anya ya.
Mgbe Shimei nwa Gera gafere Jọdan, ọ dara n'ala n'ihu eze, 19 sị ya, "Ka Onyenwe
m, ghara ịgụkọrọ m njehie m nye m. Echetakwala otu ohu gị si mee ihe n'ezighị ezi
n'ụbọchị onyenwe m hapụrụ Jerusalem pụọ. Ka eze ghara itinye ya n'obi ya, 20 n'ihi
na mụ bụ ohu gị maara na m mehiere, ma taa abịara m dịka onye mbụ site n'agbụrụ
Josef, ịbịa zute onyenwe m, bụ eze."
21 Abishai nwa Zeruaya jụrụ eze sị ya, "Ọ bụ na Shimei agaghị anwụ n'ihi ihe a?
N'ihi nkọcha ọ kọchara onye ONYENWE ANYị tere mmanụ bụ eze."*
22 Ma Devid sịrị, "Gịnị jikọtara mụ na unu ụmụ ndị ikom Zeruaya, nke mere na taa
unu aghọọla ndị na-emegide m? O kwesiri ka e gbuo onye ọbụla n'ala Izrel taa? Ọ
bụ na m amaghị na taa, abụ m eze Izrel?" 23 Ya mere eze gwara Shimei sị, "I gaghị
anwụ. Eze jiri iṅụ iyi kwee ya nkwa a."
24 Mefiboshet, nwa nwa Sọl bịarukwara izute eze. Site n'ụbọchị eze hapụrụ
Jerusalem, ọ sabeghị ụkwụ ya, ma uwe ya, ọ kpụghịkwa afụọnụ ya tutu ruo mgbe eze
lọtara n'udo. 25 Mgbe o si Jerusalem pụta izute eze, eze jụrụ ya ajụjụ sị, "Mefiboshet,
gịnị mere i soghị m gaa?"
26 Ọ zara ya sị, "Onyenwe m, eze, agwara m Ziba ohu m ka o doziere m ịnyịnya ibu
m, ka m soro eze, ma ebe m bụ onye ngwụrọ, ọ ghọgburu m. 27 O kwuluru ohu gị
n'ebe onyenwe m bụ eze nọ. Ma onyenwe m bụ eze dịka mmụọ ozi Chineke, n'ihi ya
mee m ihe masịrị gị. 28 N'agbanyeghị na ụlọ nna m niile dịka ndị nwụrụ anwụ n'ebe
onyenwe m bụ eze nọ, ma i nyere ohu gị ọnọdụ n'etiti ndị na-eri nri n'elu tebul gị.
Gịnị bụ ikike ọzọ m nwere iji rịọọ eze arịrịọ?"
29 Eze sịrị ya, "N'ihi gịnị ka ị ka na-ekwuru okwu? Enyela m gị na Ziba iwu ka unu
kee ala ahụ n'etiti onwe unu."
30 Mefiboshet sịrị eze, "Ka o were ihe niile ebe onyenwe m bụ eze lọghachiri n'ụlọ
ya n'udo."
31 Bazilai onye Gilead† sikwa na Rogelim bịa iso eze kwọfee osimiri Jọdan, na izilaga
ya site n'ebe ahụ. 32 N'oge a, Bazilai bụ agadi nwoke, onye gbara iri afọ asatọ. Ọ
lekọtara eze mgbe eze nọ na Mahanaim, n'ihi na ọ bụ ọgaranya. 33 Eze gwara Bazilai
sị ya, "Soro m gafee osimiri ka i soro m biri na Jerusalem. Aga m elekọtakwa gị."
34 Ma Bazilai zara eze sị ya, "Afọ ole ka ọ fọdụrụ m ịdị ndụ m ga-eji soro eze gaa
Jerusalem? 35 Agbaala m iri afọ asatọ. Enwere m ike ịkọwa ihe dị iche n'etiti ihe dị
mma na nke na-adịghị mma. O nwere ụzọ ohu gị si anụ ụtọ ihe oriri na ihe ọṅụṅụ?
O nwere ụzọ m si anụ olu ndị ikom na ndị inyom na-abụ abụ? Gịnị mere ohu gị ga-eji
buru ibu arọ nye onyenwe m na eze? 36 Ohu gị ga-eso eze gafee osimiri Jọdan, maọbụ
n'ihi gịnị ka eze ga-eji nye m onyinye ọzọ dị iche. 37 Biko, ka ohu gị laghachi, ka m

* **19:21** 19:21 Ọpụ 22:28; 1Sa 26:9 † **19:31** 19:31 2Sa 17:27-29; 1Ez 2:7

nwee ike nwụọ n'obodo m, n'akụkụ ili nna m na nne m. Ma lee ohu gị bụ Kimham, ka o soro onyenwe m, bụ eze gafee. Gị mekwara ya ihe ọbụla dị mma n'anya gị."
38 Eze zara sị ya, "Ọ dị mma, Kimham ga-eso m gafee, aga m emekwara ya ihe ọma niile ị rịọrọ m."
39 Ya mere, ndị ahụ niile gabigara Jọdan, mgbe ahụ eze gabigakwara. Eze suturu Bazilai ọnụ, gọziekwa ya, Bazilai laghachiri n'ụlọ ya.
40 Mgbe eze gabigara ruo Gilgal, Kimham sokwa ya gafee. Ndị agha Juda niile na otu ọkara ndị agha Izrel niile mere ka eze gabiga.
41 Ọ dịghị anya, ndị ikom Izrel niile nọ na-abịakwute eze na-asị ya, "Gịnị mere ụmụnna anyị, ndị ikom Juda, jiri zopu eze kpọfeta ya na ezinaụlọ na ndị ikom ya niile osimiri Jọdan?"
42 Ma ndị ikom Juda zara ndị ikom Izrel, "Anyị mere nke a n'ihi na eze bụ onye metụtara ahụ anyị. Gịnị mere iwe ji ewe unu maka nke a? Anyị eriela ihe ọbụla site na nri eze? Ka anyị anarala ihe ọbụla dobere onwe anyị?"
43 Ma ndị ikom Izrel zara sị, "Anyị dị ebo iri n'Izrel, n'ihi ya, anyị nwere oke iri n'ime Devid karịa unu. Gịnị mere unu ji lelịa anyị anya? Chetakwanụ na ọ bụ anyị bu ụzọ kwuo okwu maka nlọta ya ịbụ eze anyị ọzọ."
Ma ndị ikom Juda ejighị olu ọma nye ndị Izrel ọsịsa.

# 20

*Nnupu isi Sheba megide Devid*

1 Mgbe ahụ, otu onye okwu na ụka, aha ya bụ Sheba, nwa Bikri, onye Benjamin nọ n'ebe ahụ n'oge a. Ọ fụrụ opi ike ya tie mkpu sị,
"Anyị enweghị oke n'ime Devid,
anyị enwekwaghị ihe nketa n'ime nwa Jesi.
Ndị Izrel, onye ọbụla laa n'ụlọ ikwu ya!"
2 Ya mere, ndị ikom Izrel niile tụgharịrị hapụ Devid, soro Sheba nwa Bikri. Ma ndị ikom Juda nọgidere soro eze ha site na Jọdan ruo Jerusalem.
3 Mgbe Devid lọghachitere n'ụlọ ya na Jerusalem. O nyere iwu ka ndị iko ya nwanyị iri ndị ahụ ọ hapụrụ ilekọta ụlọ, ndị ahụ ha na Absalọm dinara, nọrọ n'ụlọ dị iche, ebe a nọ na-eche ha nche. Eze abakwurughị ha ọzọ. Ha bụ ndị emechibidoro ụzọ, ha na-ebi ndụ dịka ndị di ha nwụrụ anwụ tutu ruo ụbọchị ọnwụ ha.
4 Mgbe ahụ, eze gwara Amasa okwu sị, "Kpokọta ndị agha Juda ka ha bịakwute m n'ime abalị atọ. Gị onwe gị kwa ga-eso ha bịa n'oge ahụ." 5 Amasa pụrụ jee ịkpọkọta ndị Juda; ma o were ya ọtụtụ oge karịa abalị atọ.
6 Devid sịrị Abishai, "Lee nwoke a bụ Sheba nwa Bikri na-aga ime ihe ọjọọ ga-adị njọ karịa nke Absalọm mere. Chịrị ndị agha nna gị ukwu chụso ya, ma ọ bụghị ya, ọ ga-achọta obodo e wusiri ike gbaba, ebe anyị na-apụghị inweta ya." 7 Ya mere ndị agha Joab, na ndị Keret na Pelet, na ndị niile bụ dike na dimkpa n'agha pụrụ n'ikike ọchịchị Abishai. Ha si Jerusalem pụọ ịchụso Sheba nwa Bikri.
8 Mgbe ha rutere n'oke nkume ahụ dị na Gibiọn, Amasa pụtara izute ha. Joab yi uwe agha ya n'oge a; ọ fanyekwara mma agha ya n'ọbọ n'ukwu ya. Mgbe ọ gara n'ihu, mma ahụ si n'ọbọ ya dapụta.
9 Joab kelere Amasa sị ya, "Kedụ ka ị dị nwanna m." Mgbe ahụ, Joab ji aka nri ya jide Amasa n'ahụọnụ isutu ya ọnụ, 10 Amasa elezighị anya hụ na mma agha nta dị n'aka Joab. Joab mabanyere ya n'ime afọ Amasa, mee ka mgbịrị afọ ya sọsikwaa n'ala. Ọ maghị ya mma ahụ ugboro abụọ, n'ihi na otu ugboro ahụ mere ka Amasa nwụọ. Mgbe ahụ, Joab na nwanne ya Abishai chụsoro Sheba nwa Bikri n'azụ.
11 Mgbe ahụ, otu n'ime ndị agha Joab guzo n'akụkụ Amasa sị, "Onye ọbụla dịnyeere Joab na Devid ya bịa soro Joab n'azụ." 12 Ma Amasa tọgbọ n'ala n'etiti ụzọ. Ọbara

sikwa ya n'ahụ na-asọpụta. Mgbe nwoke ahụ hụrụ na ọtụtụ ndị agha na-agbakọ ile
Amasa, o bupụrụ ozu ya n'ụzọ, were uwe kpuchie ya n'ọhịa. 13 Mgbe e bupụsịrị ozu
Amasa n'ụzọ, ndị agha niile sooro Joab gaa ijide Sheba, nwa Bikri.
14 Sheba gabigara ebo niile nke Izrel ruo Ebel-Bet-Maaka, gabigakwa oke ala ndị
Bikri, bụ ndị zukọtara soro ya. 15 Ndị agha Joab bịara gbochie ya na Ebel-Bet-Maaka.
Ha wuru ihe mgbochi ruo obodo ahụ, nọbichie mgbidi dị ya gburugburu. Ebe ha nọ
na-akụ mgbidi ahụ ihe, ka ha kwatuo ya. 16 Otu nwanyị maara ihe si n'obodo ahụ
kpọọ oku sị, "Geenụ m ntị, geenụ m ntị, gwanụ Joab ka ọ bịa n'ebe a. Achọrọ m ịgwa
ya okwu." 17 Joab pụtara gaa ya nso. Nwanyị ahụ jụrụ sị, "Ọ bụ gị bụ Joab?"

Ọ zara sị, "E, ọ bụ m."

Mgbe ahụ, ọ gwara ya, "Gee ntị, ka i nụ ihe ohu gị nwere ikwu."

Joab sịrị ya, "Ana m ege ntị."

18 Ọ gara n'ihu sị, "N'oge ochie a na-ekwu sị, 'Gaa jụta ase n'Ebel,' n'ụzọ dị otu
a ka ha si ekwubi okwu. 19 Anyị bụ ndị udo na ndị kwesiri ntụkwasị obi n'Izrel. I
na-achọ ibibi obodo bụ nne n'Izrel. Gịnị mere i ji chọọ iloda ihe nketa nke ONYENWE
ANYỊ?"

20 Joab zara sị, "Mba! Ọ bụghị uche m ịla obodo a n'iyi. 21 Ọ bụghị otu a ka okwu
ahụ dị. Otu nwoke a na-akpọ Sheba nwa Bikri, nke si n'obodo ugwu Ifrem e weliela
aka ya imegide eze, bụ Devid. Nyefee nwoke a ọsịịsọ n'aka m, aga m esi n'obodo a
pụọ."

Nwanyị ahụ sịrị Joab, "A ga-atụpụtara gị isi ya site na mgbidi."

22 Nwanyị ahụ ji ndụmọdụ nke amamihe ya gakwuru ndị obodo. Ha bipụrụ
Sheba nwa Bikri isi, tụpụtara ya Joab. Ya mere na ọ fụrụ opi ike ya, ndị ikom ya
sitere n'obodo ahụ lasaa, onye ọbụla lara n'ụlọ nke ya. Joab laghachikwuru eze na
Jerusalem.

### *Ndịisi na-ejere Devid ozi*

23 Ọ bụ Joab ka e mere onyeisi agha na-achị ndị agha niile nke Izrel.

Benaya nwa Jehoiada bụ onye na-achịkọta ndị Keret na ndị Pelet na-eche eze nche.

24 Adoniram* na-ahụ maka ihe banyere ndị ọrụ mmanye.

Jehoshafat nwa Ahilud bụ onye na-edekọta ihe niile na-eme n'obodo.

25 Sheva bụ ode akwụkwọ eze,

Zadọk na Abịata bụ ndị nchụaja.

26 Ira, onye si n'obodo Jaịa, bụ onye nchụaja eze Devid.

# 21

### *Ịbọ ọbọ ndị Gibiọn*

1 Ụnwụ dara afọ atọ n'oge Devid na-achị, afọ kwa afọ. Devid chọrọ ihu ONYENWE
ANYỊ. Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị, "Ọ bụ maka Sọl na ọbara ụlọ ya kwafuru, n'ihi
na o gburu ndị Gibiọn."

2 Eze kpọrọ ndị Gibiọn, gwa ha okwu. (Ndị Gibiọn abụghị ndị Izrel, kama ha bụ ndị
fọdụrụ n'ime ndị Amọrait,* ndị bi n'ala Kenan mgbe ụmụ Izrel batara. Mgbe ahụ ha
batara, ndị Izrel ṅụrụ iyi nye ndị Gibiọn† na ha agaghị egbu ha, ma Sọl sitere n'ịnụ
ọkụ nke obi n'ihi Izrel na Juda chọọ ikpochapụ ha.) 3 Devid jụrụ ndị Gibiọn ajụjụ sị,
"Gịnị ka m ga-emere unu? Gịnị ka m ga-eji kpuchie mmehie a e mere megide unu,
ime ka unu gọzie ihe nketa ONYENWE ANYỊ?"

---

* **20:24** 20:24 N'ime ụfọdụ akwụkwọ ndị Hibru maọbụ Griik, ị ga-ahụ Adoram, ọ bụ otu onye ahụ. * **21:2** 21:2 Ndị Amọrị bụ aha e ji maara ndị niile bi n'ala Kenan, tupu ndị Izrel e merie ma achụpụ ha. Jen 15:16; Jos 24:18
† **21:2** 21:2 Ndị Gibiọn bụ ndị Hiv Jos 9:7; 11:19

4 Ndị Gibiọn zara ya sị, "Nsogbu anyị na Sọl na ndị ụlọ ya abụghị ihe a ga-eji
ọlaọcha maọbụ ọlaedo mezie. Anyị achọkwaghị ka onye ọbụla n'Izrel nwụọ n'ihi
anyị."
Devid sịrị ha, "Gịnị ka unu chọrọ ka m meere unu?"
5 Ha zara eze sị, "Kwere ka anyị wezuga nwoke ahụ wetaara anyị mbibi na ịla n'iyi,
onye ahụ mere ka anyị ghara inwe ebe obibi ọbụla n'ala Izrel. 6 Ka akpọnye anyị ndị
ikom asaa site n'ụmụ ya, ka anyị kwụgbuo ha nye ONYENWE ANYỊ na Gibea Sọl, onye
ONYENWE ANYỊ họpụtara."
Eze zara sị, "Aga m akpọnye unu ha."
7 Ma eze nwere ọmịiko n'ahụ Mefiboshet nwa Jonatan, nwa Sọl, n'ihi ịgba ndụ dị
n'etiti ya na Jonatan n'ihu ONYENWE ANYỊ. 8 Ma eze kpọọrọ Amoni na Mefiboshet,
ụmụ ndị ikom abụọ nke Rizpa, nwa nwanyị Aịa, bụ ndị ọ mụtaara Sọl. Nakwa ụmụ
ndị ikom ise nke Merab nwa Sọl mụtara mgbe ọ bụ nwunye Adriel, nwa Bazilai onye
Mehola. 9 O nyefere ha niile n'aka ndị Gibiọn; ndị Gibiọn kwụbakwara ha n'ugwu
n'ihu ONYENWE ANYỊ. Ha asaa nwụrụ n'otu ụbọchị na mmalite owuwe ihe ubi nke
ọka balị.
10 Ma Rizpa, nwa nwanyị Aịa were akwa mkpe gbasara onwe ya n'elu nkume. O
kweghịkwa ka anụ ufe bekwasị ha n'ehihie, maọbụ anụ ọhịa n'abalị. Ọ nọgidere
n'ebe ahụ site n'oge mmalite owuwe ihe ubi tutu ruo mgbe mmiri bidoro izokwasị
anụ ahụ ha. 11 Mgbe a gwara Devid ihe Rizpa, nwa nwanyị Aịa, iko nwanyị Sọl mere,
12 ọ gara chịkọtaa ọkpụkpụ Sọl na nke nwa ya Jonatan site n'aka ndị nwe obodo
Jebesh Gilead. Ha gara na nzuzo zuru ozu Sọl na Jonatan site n'ama dị na Bet-Shan,
ebe ndị Filistia kwụbara ha, oge ha gburu Sọl na Gilboa. 13 Devid sitere n'ebe ahụ
chịkọtaa ọkpụkpụ Sọl na nke nwa ya nwoke Jonatan, chịkọtaakwa ọkpụkpụ ndị ahụ
akwụgburu.
14 Ha liri ọkpụkpụ Sọl na nke nwa ya nwoke Jonatan n'obodo Zela n'ala Benjamin,
n'ime ili Kish nna Sọl, meekwa ihe ndị ọzọ niile eze nyere n'iwu. Mgbe nke a gasịrị,
Chineke zara ekpere n'ihi ala ahụ.

### *Agha megide ndị Filistia*

15 Emesịa, ndị Filistia busokwara Izrel agha ọzọ. Devid na ndị agha ya pụkwara
ịlụso ha ọgụ. N'oge ha na-alụ ọgụ a, ike gwụrụ Devid nke ukwuu. 16 Mgbe ahụ,
Ishibi-Benob, otu onye agbụrụ Rafa, onye ịdị arọ nke bronz dị n'ọnụ ùbe ya ruru
kilogram atọ na ọkara, onye jikwa mma agha ọhụrụ, bịaruru Devid nso chọọ igbu
ya. 17 Ma Abishai nwa Zeruaya bịara nyere Devid aka, tigbuo onye Filistia ahụ. Site
n'oge ahụ, ndị ikom Devid ṅụrụ iyi sị ya, "Ị gaghị esokwa anyị gaa ibu agha ọzọ! Ka
a ghara imenyụ oriọna Izrel."
18 Mgbe oge gaturu, ha na ndị Filistia lụrụ agha ọzọ na Gob. N'oge a, Sibekai,‡ onye
Husha, gburu Saf, otu n'ime ndị agbụrụ Rafa.
19 N'agha ọzọ ha na ndị Filistia lụrụ na Gob, Elhanan§ nwa Jaịa* onye Betlehem
gburu nwanne Golaịat onye Gat,† onye ùbe ya nwere osisi dị ogologo dịka nke onye
na-ekwe akwa ji ekwe akwa.
20 N'agha ọzọkwa, bụ nke a lụrụ na Gat, e nwere otu nwoke gbara oke dimkpa, nke
nwere mkpịsịaka isii n'aka ya ọbụla, nweekwa mkpịsịụkwụ isii n'ụkwụ ya ọbụla,
ya bụ, a gụkọtaa ha niile, iri mkpịsịaka na mkpịsịụkwụ abụọ na anọ. Ọ bụkwa onye

‡ **21:18** 21:18 Sibekai onye Husha, bụ onye sitere n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke ndịda Betlehem. Ọ bụ onyeisi agha nkewa nke asatọ n'etiti ndị ọchịagha Devid. 1Ih 11:29; 27:11 § **21:19** 21:19 Ọ bụ nwanne nna Devid 1Ih 11:26 * **21:19** 21:19 Maọbụ, Jaare-Oregim † **21:19** 21:19 Dịka akụkọ a kọrọ n'akwụkwọ Ihe E Mere n'ụbọchị ndị eze, 1Ih 20:5 si dị, Elhanan, nwa Jaịa, gburu Lahmi nwanne Golaịat. Akụkọ a dakọtara na nke a kọrọ n'akwụkwọ 1Sa 17, ebe e dere na Devid tigburu Golaịat. Eleghị anya, ndị ndepụta okwu chere na "Lahmi nwanne ya," pụtara "onye Betlehem."

amụrụ n'agbụrụ Rafa. [21] Mgbe ọ kọchara Izrel, Jonatan nwa Shimei, nwanne nwoke
Devid, gburu ya.
[22] Mmadụ anọ ndị a bụ ndị agbụrụ Rafa dị na Gat. Devid na ndị agha ya gburu ha
niile.

# 22

*Abụ otuto Devid*

[1] Devid buuru ONYENWE ANYỊ okwu niile nke abụ a mgbe ONYENWE ANYỊ napụtara
ya site n'aka ndị iro ya niile, nakwa n'aka Sọl. [2] Ọ sịrị:
"ONYENWE ANYỊ bụ oke nkume m. Ọ bụ ebe mgbaba m e wusiri ike, na onye nnapụta m.
[3] Chineke m bụ oke nkume m, onye m gbabara n'ime ya.
Ọ bụ ọta m, na mpi nzọpụta m.
Ya bụ oke nkume m nke onye ọbụla na-apụghị ịba n'ime ya, ebe mgbaba m, na onye nzọpụta m,
site n'aka ndị na-eme ihe ike.

[4] "Akpọkuru m ONYENWE ANYỊ; onye e kwesiri inye otuto.
Azọpụtara m site n'aka ndị iro m.
[5] Ebili mmiri nke ọnwụ gbara m gburugburu;
Ịchị ọkụ nke mbibi ọjọọ kpuchiri m.*
[6] Ụdọ niile nke ili kere m agbụ,
Ọnya nke ọnwụ guzogidere m.

[7] "N'ọnọdụ oke mkpagbu m, akpọkuru m ONYENWE ANYỊ,
akpọkuru m Chineke m.
Akwa m ruru ya ntị.
O sitekwara n'ụlọnsọ ukwu ya nụ olu m.
[8] Ụwa mere mkpọtụ maa jijiji,
ntọala eluigwe makwara jijiji,
ha mara jijiji n'ihi iwe nke na-ewe ya.
[9] Anwụrụ ọkụ sitere ya n'imi pụta;
Ọkụ na-erepịa erepịa sikwa n'ọnụ ya pụta.
Icheku ọkụ na-ere ọkụ sitekwara n'ebe ahụ nwupụta.
[10] O kewara mbara eluigwe, rịdata;
oke igwe ojii dịkwa n'okpuru ụkwụ ya.
[11] Ọ nọkwasịrị n'elu cherubim felie elu,
O feliri elu n'elu nku nke ifufe.
[12] O mere ọchịchịrị ihe mkpuchi nke gbara ya gburugburu,
bụ ọchịchịrị mmiri igwe ojii nke mbara eluigwe.
[13] Site n'ìhè nke na-enwupụta n'ahụ ya,
amụma egbe eluigwe nwupụtara ire ọkụ.
[14] ONYENWE ANYỊ sitere n'eluigwe bigbọọ.
Olu Onye kachasị ihe niile elu dara ụda.
[15] Ọ gbara àkụ ya, mee ka ndị iro gbasasịa.
O jikwa oke amụma nke egbe eluigwe chụsaa ha.
[16] E kpughere ala ala nke oke osimiri.
Gbakwa ntọala niile nke ụwa ọtọ,
site n'ịba mba nke ONYENWE ANYỊ,

* **22:5** 22:5 Mmekpa ahụ nke na-eweta mbibi bịakwasịrị m

na nkuume si n’imi ya pụta.

17 “O sitere n’elu setịpụ aka ya,
jidesie m aka ike, ọ dọpụtara m site n’ogbu mmiri niile.
18 Ọ napụtara m site n’aka ndị iro m dị ike,
bụ ndị kpọrọ m asị, ndị dịkwa ike karịa m.
19 Ha guzogidere m n’ụbọchị ihe ndakwasị m.
Ma Onyenwe anyị bụrụ m ihe ndabere.
20 Ọ kpọpụtara m gaa n’ebe sara mbara,
Ọ napụtara m n’ihi na ihe m na-atọ ya ụtọ.

21 “Onyenwe anyị mesoro m dịka ezi omume m si dị,
Ọ kwụghachiri m dịka ịdị ọcha nke aka m si dị.
22 N’ihi na edebezuola m ụzọ niile nke Onyenwe anyị;
ikpe amaghị m n’ihi ịgbakụta Chineke azụ.
23 Iwu ya niile dị n’ihu m,
esibekwaghị m n’ụkpụrụ ya wezuga onwe m.
24 Abụ m onye na-enweghị ịta ụta n’ihu ya,
edebekwara m onwe m pụọ na mmehie.
25 Onyenwe anyị kwụghachiri m dịka ezi omume m si dị,
dịka ịdị ọcha m si dị n’anya ya.

26 “N’ebe onye kwesiri ntụkwasị obi nọ, i na-egosi onwe gị onye kwesiri ntụkwasị obi,
n’ebe onye zuruoke nọ, ị na-egosi onwe gị onye zuruoke.
27 N’ebe onye dị ọcha nọ, ị na-egosi onwe gị onye dị ọcha,
ma nye ndị ụzọ ha na-ezighị ezi, Ị na-egosi onwe gị dịka onye dị aghụghọ.
28 Ị na-azọpụta ndị dị umeala n’obi,
ma anya gị dị n’ahụ ndị mpako, I mee ka ha dị ala.
29 Ọ bụ gị, Onyenwe anyị, bụ oriọna m,
Onyenwe anyị na-eme ka ọchịchịrị m ghọọ ìhè.
30 Site n’inyeaka gị, apụrụ m ịlụso igwe ndị agha ọgụ;
sitekwa na Chineke m apụkwara m ịwụfe mgbidi ọbụla.

31 “Ma banyere Chineke, ụzọ ya zuruoke;
okwu ọnụ Onyenwe anyị bụ ihe a nụchara anụcha.
Ọ bụ ọta nke onye ọbụla na-ezo onwe ya n’okpuru ya.
32 N’ihi na onye bụ Chineke, ma ọ bụghị naanị Onyenwe anyị?
Onye bụkwa Oke Nkume ahụ, ma ọ bụghị naanị Chineke?
33 Ọ bụ Chineke na-enye m ike,
na-echebekwa ụzọ m n’izuoke.
34 Ọ na-eme ka ụkwụ m dị gara gara, dịka nke nne ele
Ọ na-emekwa ka m kwụrụ chịm n’ebe niile dị elu.
35 Ọ na-azụ aka m abụọ ibu agha,
ogwe aka m abụọ pụrụ ịrọji ụta bronz.
36 Ị na-eme ka inyeaka nke nzọpụta gị bụrụ ọta m,
inyeaka gị emeela m ka m dị ukwuu.
37 Ị na-edozi ụzọ sara mbara nye ụkwụ.
Ka nkwonkwo ụkwụ m ghara ịgbụchapụ.

38 “Achụrụ m ndị iro m ọsọ, kpochapụ ha.

Alaghachighị m azụ tutu ruo mgbe ha niile lara n’iyi.
39 Etidara m ha n’ala kpamkpam. Ha enwekwaghị ike ibilite.
Ha dara n’okpuru ụkwụ m abụọ.
40 Ọ bụ gị nyere m ike ibu agha.
I wedara ndị niile na-emegide m n’ala n’ihu m.
41 I meela ka ndị iro m tụgharịa gbalaga.
Ebibiekwala m ha niile.
42 Ha bere akwa maka enyemaka, ma ọ dịghị onye na-azọpụta ha.
Ha kpọkuru ONYENWE ANYỊ, ma ọ zaghị ha.
43 Egwepịara m ha nke ọma, mee ka ha dịrị ka ntụ nke ala.
Asụrụ m ha akwụ, zọtọọ ha dịka apịtị nke okporoụzọ.

44 “Ị napụtala m site n’aka ndị niile na-alụso m ọgụ.
Ị chebere m dịka onyeisi nke ọtụtụ mba.
Ndị m na-amaghị na mbụ na-ejekwara m ozi.
45 Ndị ala ọzọ na-ehulata n’ihu m n’ihi egwu,
ngwangwa ha nụrụ olu m, ha na-erube isi nye m.
46 Obi na-ada ha mba.
Ha na-ama jijiji mgbe ha na-esite n’ebe niile ha e wusiri ike na-apụta.

47 “ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ. Otuto dịrị oke nkume m.
Mbuli elu dịrị Chineke m, bụ oke nkume ahụ, Onye nzọpụta m.
48 Ọ bụ Chineke ahụ, onye na-abọrọ m ọbọ.
Onye na-emekwa ka mba dị iche iche nọrọ n’okpuru m.
49 Onye na-anapụta m site n’aka ndị iro m.
I mere ka m dị elu karịa ndị iro m.
Napụtakwa m site n’aka nwoke na-eme ihe ike.
50 N’ihi nke a, ONYENWE ANYỊ, aga m eto gị n’etiti mba niile dị iche iche.
Aga m abụku aha gị abụ otuto.

51 “Chineke na-enye eze ya mmeri dị ukwuu.
Ọ na-egosikwa onye ya o tere mmanụ obi ebere.
Ihe ndị a ka ọ na-emere Devid na ụmụ ụmụ ya, ruo mgbe niile ebighị ebi.”

# 23

*Okwu ikpeazụ Devid*

1 Ndị a bụ okwu ikpeazụ Devid kwuru:
“Okwu pụrụ iche si n’ọnụ Devid, nwa Jesi,
ihe si n’ọnụ nwoke ahụ Chineke Onye kachasị ihe niile elu buliri elu.
Nwoke ahụ onye Chineke nke Jekọb tere mmanụ,
onye bụ ọka n’ịbụ abụ n’ala Izrel.

2 “Mmụọ ONYENWE ANYỊ kwuru okwu site n’ọnụ m,
okwu ya dịkwa m n’ire.
3 Chineke Izrel kwuru okwu,
Oke nkume Izrel sịrị m,
‘Mgbe mmadụ na-achị ndị ọzọ site n’ezi omume,
mgbe ọ na-achị site n’egwu Chineke.
4 Ọ dị ka ìhè nke ụtụtụ, mgbe anyanwụ na-achawapụta
n’ụtụtụ nke igwe ojii na-adịghị.
Dịka ìhè na-acha mgbe mmiri zochara

nke na-eme ka ahịhịa ndụ na-epupụta n’ala.’

5 “Ọ bụrụ na ihe banyere ụlọ m ezighị ezi n’ebe Chineke nọ.
N’ezie, ọ garaghị ekwe ka ọgbụgba ndụ ebighị ebi dịrị n’etiti mụ na ya,
Ọgbụgba ndụ e doro n’usoro nke e mere ka o guzosie ike n’ụzọ niile.
N’ezie, ọ garaghị eme ka nzọpụta m zuo oke.
Ma mezukwaara m ọchịchọ obi m niile.
6 Ma ndị ajọ mmadụ ka a ga-atụfu n’akụkụ dịka ogwu,
nke mmadụ anaghị eji aka ekpokọta.
7 Onye ọbụla metụrụ ogwu aka,
bụ onye nwere ngwa ọrụ igwe maọbụ osisi ùbe.
A na-esure ha ọkụ n’ebe ha tọgbọrọ.”

### *Ndị ọka agha Devid*

8 Ndị a bụ aha ndị dike n’agha Devid nwere:
Josheb-Bashebet, onye Takemon, bụ onyeisi nke mmadụ atọ. O weliri ùbe ya
megide narị ndị ikom asatọ, bụ ndị o gburu n’otu mgbe ibu agha.
9 Onye nke na-eso ya bụ Elieza, nwa Dodayi, onye Ahohi. Dịka otu n’ime ndị dike
atọ ahụ, ya na Devid nọ mgbe ha na-akwa ndị Filistia emo, bụ ndị zukọrọ na Pas
Damim ibu agha.[*] Mgbe ahụ, ndị Izrel lara azụ, 10 ma Elieza guzoro na-alaghị azụ.
O gbugidere ndị Filistia ruo mgbe ike gwuru aka ya. Aka ya rapakwaara na mma
agha. ONYENWE ANYỊ nyekwara ha mmeri dị ukwuu n’ụbọchị ahụ. Ndị agha ahụ
laghachikwutere Elieza, maọbụ naanị ka ha yipụsịa ndị ahụ e gburu egbu ihe ha yi
n’ahụ.
11 Onye nke atọ bụ Shama, nwa Agee, onye Hara. Mgbe ndị Filistia chịkọtara onwe
ha n’otu ebe, nke e nwere otu ubi jupụtara na lentil, ma ndị agha Izrel niile sitere
n’ebe ha nọ gbapụ. 12 Ma naanị Shama guzoro n’etiti ubi lentil ahụ. Ọ napụtara ya,
tigbuo ndị Filistia niile ahụ. ONYENWE ANYỊ nyere mmeri dị ukwuu.
13 N’oge owuwe ihe ubi, mmadụ atọ n’ime iri ndị dike atọ ahụ, jekwuru Devid
n’ọgba nkume Adulam, mgbe otù ndị Filistia mara ụlọ ikwu ha na Ndagwurugwu
Refaim. 14 Ma Devid nọ n’ebe ahụ ewusiri ike n’oge ahụ, ma ọnọdụ ndị agha Filistia
dị na Betlehem. 15 Agụụ mmiri gụrụ Devid nke ukwuu. Ọ sị, “Ọ ga-amasị m ma ọ
bụrụ na o nwere onye ga-ekunye m mmiri ọṅụṅụ, site n’olulu mmiri dị nso n’ọnụ
ụzọ ama Betlehem!” 16 Ya mere, ndị dike n’agha atọ ahụ wakpuru ọmụma ụlọ ikwu
ndị Filistia, seta mmiri site n’olulu mmiri ahụ dị n’akụkụ ọnụ ụzọ ama Betlehem,
bulatara ya Devid. Ma Devid jụrụ iṅụ ya, kama ọ wufuru ya n’ala n’ihu ONYENWE
ANYỊ. 17 Ọ sịrị, “Ya bụrụ m ihe arụ, ONYENWE ANYỊ, na m ga-eme nke a. Nke a ọ bụghị
ọbara ndị ikom a, ndị ji ndụ ha chụọ aja n’ihi ikute mmiri a?” Devid ekweghị aṅụ
ya.
Nke a bụ ụdị ike dike atọ ahụ kpara.
18 Abishai, nwanne Joab, nwa Zeruaya, bụ onyeisi ndị ikom atọ ahụ. O weliri ùbe
ya megide narị ndị ikom atọ, tigbukwaa ha niile. N’ihi nke a ọ ghọrọ onye a ma ama
dịka mmadụ atọ ndị a. 19 Ma anaghị asọpụrụ ya n’ebe ọ dị ukwuu karịa iri ndị ikom
atọ ahụ? Ọ ghọrọ onyeisi ha. Ọ bụ ezie a na-agụnyeghị ya dịka otu onye n’ime ha.
20 Benaya, nwa Jehoiada, onye si Kabzeel, bụ dike n’agha nke kpara ike dị ukwuu. O
tigburu dimkpa abụọ ndị Moab, ndị bụ ọkaka n’agha. O rịdakwukwara ọdụm n’ime
olulu na-amị amị n’ụbọchị mkpụrụ mmiri na-ezo, gbuo ya. 21 O tigburu otu nwoke
onye Ijipt, gbara dimkpa. Ọ bụ ezie na onye Ijipt ahụ ji ùbe n’aka ya, ma Benaya
ji naanị mkpọ jekwuru ya. Pụnara onye Ijipt ahụ ùbe dị n’aka ya. Jiri ya magbuo

[*] **23:9** 23:9 I lee anya n’akwụkwọ 1Ih 11:13 n’asụsụ Hibru Pas Damim pụtara gbakọrọ n’ebe ahụ

ya [22] Nke a bụ ụdị ike Benaya nwa Jehoiada kpara. Ya onwe ya nwekwara aha dịka
ndị dike atọ mbụ. [23] A na-asọpụrụ ya n'ebe ọ dị ukwuu karịa onye ọbụla n'etiti iri
dike atọ ndị ahụ, ma o rughị ogugo ndị dike atọ mbụ ahụ. Devid mere ya onyeisi ndị
na-eche ya nche.

[24] N'etiti iri ndị ikom atọ ahụ bụ:

Asahel, nwanne Joab,
Elhanan nwa Dodo, onye Betlehem
[25] Shama, onye Harod,
Elika, onye Harod,
[26] Helez onye Palti,
Ira, nwa Ikesh, onye Tekoa,
[27] Abieza, onye Anatot,
Mebunai, onye Husha,
[28] Zalmon, onye Ahohi,
Maharai, onye Netofa,
[29] Heled,† nwa Baana, onye Netofa,
Itai, nwa Ribai, nke Gibea ụmụ Benjamin,
[30] Benaya, onye Piraton,
Hidaị, nke si n'akụkụ iyi dị na Gaash,
[31] Abi-Albon, onye Arba,
Azmavet, onye Bahurim
[32] Eliaba, onye Shaalbon,
Ụmụ Jashen,
Jonatan [33] nwa Shama, onye Hara
Ahiam, nwa Shara nke Hara,
[34] Elifelet, nwa Ahasbaị, onye Maaka,
Eliam, nwa Ahitofel, onye Gailo,
[35] Hezro, onye Kamel,
Paraị, onye Aaba,
[36] Igal nwa Netan, onye Zoba,
nwa Hagri,
[37] Zelek, onye Amọn,
Naharai, onye Beerọt, onye na-ebu ihe agha Joab nwa Zeruaya,
[38] Ira, onye Itra,
Gareb, onye Itra
[39] na Ụraya, onye Het.

Ha niile dị iri ndị ikom atọ na asaa.

# 24

*Devid agụọ ndị agha ya ọnụ*

[1] Ọzọkwa, ONYENWE ANYỊ were iwe dị ọkụ megide Izrel. Ọ kpaliri Devid imegide
ha, sị, "Gaa gụọ Izrel na Juda ọnụ."

[2] Ya mere, eze gwara Joab na ndịisi ọchịagha ya ha so, "Jegharịa n'ebo niile nke
Izrel, site na Dan ruo Bịasheba, gụkọtaa ndị tozuru ije agha n'Izrel niile ka m nwee
ike mata ole ọnụọgụgụ ha dị."

† **23:29** 23:29 Heled bụkwa Heleb

3 Joab zaghachiri eze, “Ka Onyenwe anyị bụ Chineke gị, mee ka ndị agha mụbaa,
otu onye narị ụzọ, otu onye narị ụzọ karịa. Ka anya onyenwe m, bụ eze, hụkwa ya.
Ma n’ihi gịnị ka onyenwe m bụ eze ji chọọ ime ihe dị otu a?”
4 Ma okwu eze dị ike karịa nke Joab na nke ndị ọchịagha ahụ. Ya mere, ha hapụrụ
ihu eze pụọ ịgụ ndị agha Izrel ọnụ.
5 Mgbe ha gabigachara Jọdan, ha manyere ụlọ ikwu ha na nso Aroea, n’aka nri
obodo ahụ dị n’etiti ndagwurugwu Gad na-eru Jeza, 6 ha gara Gilead ruokwa n’ala
Taatim Hodshi, bịarukwaa Dan Jaan, jee gburugburu jeruo Saịdọn. 7 Ha jere ruokwa
n’ebe e wusiri ike nke Taịa, na obodo niile nke ndị Hiv,* na nke ndị Kenan. N’ikpeazụ,
ha gaara ruo Bịasheba n’ime ndịda Juda.
8 Mgbe ha jegharịchara n’ala ahụ niile; ha lọghachitere na Jerusalem na ngwụcha
ọnwa nke itoolu na iri abalị abụọ ya.
9 Joab nyere eze ngụkọta ọnụọgụgụ nke ndị agha Izrel. N’Izrel, ha dị narị puku
asatọ, bụ ndị ikom ndị tozuru iji mma agha buo agha, na Juda ha dị narị puku ise.
10 Ma obi Devid bidoro ịta ya ụta mgbe ọ gụchara ndị ikom na-alụ agha ọnụ. Ọ sịrị
Onyenwe anyị, “Emehiela m nke ukwuu n’ihi ihe m mere. Ma ugbu a, Onyenwe anyị
biko, arịọ m gị, wezuga ikpe ọmụma nke dịịrị ohu gị; n’ihi na emeela m ihe nzuzu
dị ukwuu.”
11 N’ụtụtụ echi ya, tupu Devid na-eteta n’ụra, okwu Onyenwe anyị eruola Gad onye
amụma, bụ onye ọhụ ụzọ Devid, sị, 12 “Gaa gwa Devid, ‘Otu a ka Onyenwe anyị na-
ekwu: Ụzọ ihe atọ ka m na-eche gị n’ihu. Họrọ otu n’ime ha nke m ga-eme ka ọ
bịakwasị gị.’ ”
13 Ya mere, Gad jekwuuru Devid sị ya, “Ọ bụ ka oke ụnwụ ịda n’ala gị afọ atọ? Ka
ọ bụ na ị ga-agbalaga site n’ihu ndị iro gị ọnwa atọ, ka ha na-achụ gị ọsọ? Ka ọ bụ
ka ajọ ọrịa na-efe efe daa n’ala gị mkpụrụ ụbọchị atọ? Ugbu a, chee echiche, kpebie
ọsịsa ị chọrọ ka m weghachiri onye ahụ zitere m.”
14 Devid sịrị Gad, “Anọ m n’oke nsogbu, ọ ka mma ka anyị daba n’aka Onyenwe
anyị karịa ịdaba n’aka mmadụ, n’ihi na obi ebere ya bara ụba.”
15 N’ihi ya, Onyenwe anyị zitere ajọ ọrịa na-efe efe n’ala Izrel, site n’ụtụtụ ahụ ruo
oge akara aka. Ọ bụ iri puku mmadụ asaa nwụrụ site na Dan ruo Bịasheba. 16 Mgbe
mmụọ ozi ahụ setịpụrụ aka ya ibibi Jerusalem, o wutere Onyenwe anyị n’ihi oke
mbibi ahụ. Ọ sịrị mmụọ ozi ahụ nke na-eweta nhụju anya nye ndị mmadụ, “O zuola.
Seghachi aka gị.” Mgbe ahụ, mmụọ ozi Onyenwe anyị nọ n’ebe ịzọcha ọka Arauna
onye Jebus.
17 Mgbe Devid hụrụ mmụọ ozi ahụ na-etida ndị mmadụ, ọ sịrị Onyenwe anyị, “Ọ bụ
mụ onwe m mehiere; mụ bụ onye ọzụzụ atụrụ, mere ajọ omume. Ma ndị a bụ naanị
ụmụ atụrụ, gịnị kwanụ ka ha mere? Ka aka gị dịgide naanị n’ahụ m, dịgidekwa
n’ahụ ndị ụlọ m.”

### *Devid ewuo ebe ịchụ aja*

18 N’ụbọchị ahụ, Gad bịara n’ụlọ Devid gwa ya sị, “Gaa, wuore Onyenwe anyị ebe
ịchụ aja n’ebe ịzọcha ọka Arauna, onye Jebus.” 19 Ya mere, Devid rubere isi gaa mee
dịka iwu Onyenwe anyị nyere site n’ọnụ Gad. 20 Mgbe Arauna weliri anya hụ eze na
ndị ọrụ ya ka ha na-abịa n’ebe ọ nọ, ọ pụtara kpọọ isiala nye eze. Kpudokwa ihu ya
n’ala.
21 Arauna sịrị, “Gịnị mere onyenwe m, bụ eze ji bịakwute ohu ya?”
Devid zaghachiri, “Abịara m ịzụrụ ebe ịzọcha ọka gị, ka m nwee ike wuore
Onyenwe anyị ebe ịchụ aja; ka akwụsị ọrịa a na-efe efe dakwasịrị ndị mmadụ.”

* **24:7** 24:7 Ndị Hiv, na ndị Kenan bụ ndị bi n’ala ahụ tupu ndị Izrel e merie ha n’agha, chụpụ ha ma bichie ya.

22 Arauna sịrị Devid, “Ka onyenwe m, bụ eze were ihe ọbụla ọ chọrọ, werekwa
chụọ aja. Lee ehi maka iji chụọ aja nsure ọkụ, leekwa ihe igwe ịzọcha ọka niile, na
osisi ndị ahụ niile a na-anyanye ehi n’olu,† ka ha bụrụ nkụ. 23 Eze, ihe ndị a niile ka
mụ bụ Arauna na-enye eze, ka ONYENWE ANYỊ Chineke gị nabatakwa gị.”
24 Ma eze zaghachiri Arauna, “Ee, aghaghị m ịkwụzu gị ụgwụ ya, n’ihi na agaghị m
achụrụ ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke m aja nsure ọkụ nke na-agaghị efu m ihe ọbụla.”
Ya mere, Devid zụrụ ebe ịzọcha ọka ahụ na ehi ahụ niile, kwụọ Arauna iri shekel
ọlaọcha ise, n’ihi ha. 25 Devid wuru ebe ịchụrụ ONYENWE ANYỊ aja n’ebe ahụ.
Chụọkwa aja nsure ọkụ na aja udo. Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ zara ekpere o kpere
n’ihi ala ahụ. Nrịa nrịa ahụ na-efe efe nke dakwasịrị Izrel kwụsịkwara.

† **24:22** 24:22 Lit. yoku

# 1 Ndị Eze

*Adonaịja echie onwe ya eze*

1 Mgbe eze Devid ghọrọ agadi, n'agbanyeghị na-eji ọtụtụ uwe kpuchie ya, ahụ
ya ekpoghị ọkụ. 2 Ya mere, ndị na-ejere ya ozi sịrị ya, "Ka anyị chọtara eze otu
nwaagbọghọ na-amaghị nwoke, onye ga-akwụ n'ihu eze ma bụrụkwa onye ga-elekọta
ya. O nwere ike idina n'akụkụ onyenwe anyị bụ eze ime ka ahụ kpoo ya ọkụ."
3 Ha gagharịrị n'ala Izrel niile chọọ nwaagbọghọ mara mma, chọta otu
nwaagbọghọ onye Shunem, aha ya bụ Abishag, kpọtaara ya eze. 4 Nwaagbọghọ a
mara mma nke ukwuu; ọ lekọtakwara eze, jekwaara ya ozi ma ya na eze enweghị
mmekọ ọbụla.
5 N'oge a, Adonaịja* onye nne ya bụ Hagit, wepụtara onwe ya, kwuo sị, "Aga m
abụ eze." N'ihi nke a, ọ kwadooro onwe ya ụgbọ agha na ọtụtụ ịnyịnya, kpọtakwa
iri ndị ikom ise, ndị ga-agba ọsọ n'ihu ya. 6 Na ndụ Adonaịja niile, o nweghị oge nna
ya baara ya mba site n'ịjụ ya, "Gịnị mere i ji akpa agwa dị otu a?" Ọ bụ nwokorobịa
mara mma nke ukwuu; ọ bụ ya na-esotekwa nwanne ya Absalọm.
7 Adonaịja na Joab, nwa Zeruaya† tinyere Abịata‡ onye nchụaja, kparịtara ụka.
Ha kwenyere inyere ya aka ka ọ ghọọ eze. 8 Ma Zadọk onye nchụaja, Benaya nwa
Jehoiada, Netan onye amụma, Shimei, Rei na ndị agha niile na-eche Devid nche
esonyeghị Adonaịja.
9 Adonaịja chụịrị atụrụ, ehi na ụmụ ehi gbara abụba, gaa n'akụkụ En-Rogel chụọ
aja na Nkume Zohelet. Ọ kpọrọ ụmụnne ya niile bụ ụmụ ndị ikom eze na ndịisi Juda
niile, ndị na-ejere eze ozi oku, 10 ma ọ kpọghị Netan onye amụma, maọbụ Benaya,
maọbụ ndị agha niile na-eche Devid nche. Ọ kpọkwaghị Solomọn nwanne ya.
11 Mgbe ahụ, Netan onye amụma jụrụ Batsheba nne Solomọn ajụjụ sị, "Ị nụghị
na Adonaịja nwa Hagit aghọọla eze ugbu a, ma onyenwe anyị bụ Devid amaghị ihe
ọbụla banyere ya? 12 Ma ugbu a, ka m dụọ gị ọdụ otu ị ga-esi zọpụta ndụ gị na ndụ
nwa gị Solomọn. 13 Bakwuru eze Devid sị ya, 'Onyenwe m bụ eze, ọ bụ na i kweghị
m bụ ohu gị nkwa sị: "N'ezie, Solomọn nwa gị ga-abụ eze n'ọnọdụ m, ọ ga-anọdụ
n'ocheeze m"? Ma gịnị mere Adonaịja ji bụrụ eze?' 14 Mgbe ị ka nọ na-akpanyere
eze ụka, mụ onwe m ga-abịakwute gị gbaa okwu niile ị na-ekwu ume."
15 Batsheba bakwuuru eze n'ime ụlọ. Eze emeela nnọọ agadi nke ukwuu. Abishag
onye Shunem nọkwa na-elekọta ya. 16 Batsheba gburu ikpere n'ala, kpọọ isiala nye
eze.

Mgbe ahụ, eze jụrụ ya sị, "Gịnị ka ị na-achọ?"
17 Batsheba zara sị ya, "Onyenwe m, i jiri ONYENWE ANYỊ Chineke gị ṅụọrọ m iyi,
kwee m nkwa sị na nwa m Solomọn ga-abụ eze, nọdụkwa n'ocheeze gị. 18 Ma ugbu a,
Adonaịja aghọọla eze, ma gị onyenwe m bụ eze amaghị ihe banyere nke a. 19 O jirila
ọtụtụ igwe ehi na ụmụ ehi gbara abụba, na atụrụ chụọ aja. Ọ kpọkwara ụmụ ndị
ikom eze niile na Abịata onye nchụaja, na Joab onyeisi agha. Ma ọ kpọghị Solomọn
bụ ohu gị. 20 Ma ugbu a, onyenwe m eze, ndị Izrel niile na-ele gị anya isi n'ọnụ gị nụta
onye ga-anọchi anya gị, ịnọkwasị n'ocheeze eze gị. 21 Ma ọ bụghị otu a, ngwangwa
onyenwe m bụ eze ga-esoro ndị nna nna ya ha dina n'ọnwụ, mụ onwe m na nwa m
Solomọn ka a ga-emeso mmeso dịka ndị mmebi iwu."

---

* **1:5** 1:5 Adonaịja, bụ nwa nke anọ a mụrụ Devid. Ọkpara ya bụ Amọn, Kiliab na Absalọm nwụrụ anwụ, ma Kiliab nwụrụ n'oge ọ bụ nwantakịrị. 2Sa 3:4 † **1:7** 1:7 Zeruaya, bụ nwanne nwanyị Devid. ‡ **1:7** 1:7 Abịata, bụ nwa Ahimelek. 1Sa 22:20

22 Mgbe Batsheba nọ na-akpanyere eze ụka, Netan onye amụma batara. 23 A gwara
eze okwu sị, “Netan onye amụma nọ n’ebe a.” Ya mere, ọ gara n’ihu eze kpọọ isiala
nye ya.
24 Netan sịrị, “Onyenwe m, bụ eze, ọ bụ gị onwe gị sịrị Adonaịja ga-abụ eze mgbe ị
nwụrụ, na ọ ga-anọkwasịkwa n’ocheeze gị? 25 Taa, ọ gaala jiri ọtụtụ igwe ehi, na ụmụ
ehi gbara abụba, na ụmụ atụrụ chụọ aja. Ọ kpọọkwala ụmụ ndị ikom eze niile. Ọ
kpọkwara ndịisi agha, na Abịata onye nchụaja. Ha na ya na-eri ihe oriri, na-aṅụkwa
ihe ọṅụṅụ, na-eti mkpu na-asị, ‘Eze Adonaịja ga-adị ruo mgbe ebighị ebi.’ 26 Ma ha
akpọghị mụ bụ ohu gị na Zadọk, onye nchụaja, na Benaya nwa Jehoiada, na ohu gị
bụ Solomọn. 27 Ọ bụ site n’aka onyenwe m bụ eze ka ihe nke a siri mee, ma i meghị
ka ndị ohu ya mata onye ga-anọdụ n’ocheeze onyenwe m eze, mgbe ọ nọghịkwa ya?”

### *Devid emee Solomọn eze*

28 Mgbe ahụ, Devid kwuru okwu sị, “Kpọọrọnụ m Batsheba.” Batsheba batara, guzo
n’ihu eze.
29 Mgbe ahụ, eze ṅụrụ iyi sị ya, “Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, Onye ahụ napụtara
m site na nsogbu m niile, 30 otu ahụ m siri ṅụrụ gị iyi n’aha ONYENWE ANYỊ, Chineke
Izrel, sị, na Solomọn nwa gị ga-abụ eze n’ọnọdụ m, ọ bụ ya ga-anọchi anya m,
nọdụkwa n’ocheeze m. Otu ahụ ka m ga-eme n’ụbọchị taa.”
31 Mgbe ahụ, Batsheba kpọrọ isiala, gbukwaa ikpere n’ihu eze sị ya, “Ka onyenwe
m eze Devid dịrị ndụ ruo mgbe ebighị ebi.”
32 Mgbe ahụ, Devid nyere iwu sị, “Kpọọrọ m Zadọk onye nchụaja, na Netan onye
amụma, na Benaya, nwa Jehoiada.” Mgbe ha niile bịara n’ihu eze, 33 ọ sịrị ha, “Duru
ndị ozi§ onyenwe unu, tinyere unu onwe unu, mee ka Solomọn nwa m nọkwasị n’elu
ịnyịnya muul nke mụ onwe m, kpọrọnụ ya gbada Gaihọn. 34 N’ebe ahụ, ka Zadọk
onye nchụaja, na Netan onye amụma, tee ya mmanụ ịbụ eze Izrel. Fụkwaanụ opi,
tiekwanụ mkpu sị, ‘Eze Solomọn ga-adị ndụ ruo mgbe ebighị ebi.’ 35 Mgbe ahụ, unu
na ya ga-esokwa gbagota, ọ ga-abịa nọkwasị n’ocheeze m ịchị n’ọnọdụ m. N’ihi na
ọ bụ ya ka m họpụtara ịchị eze n’Izrel na Juda.”
36 Benaya nwa Jehoiada zara eze sị, “Amen, ka ONYENWE ANYỊ Chineke onyenwe m
na eze, kwupụta ya ka ọ dị otu a. 37 Dịka ONYENWE ANYỊ si nọnyere onyenwe m bụ
eze, biko, ka o si otu a nọnyere Solomọn ime ka ocheeze ya dị ukwuu karịa ocheeze
onyenwe m bụ eze Devid.”
38 Ya mere, Zadọk, onye nchụaja, na Netan onye amụma, na Benaya, nwa Jehoiada,
na ndị Keret na ndị Pelet,* duuru Solomọn mee ya ka ọ nọkwasị n’elu ịnyịnya muul
nke eze Devid. Emesịa, ha duuru ya gaa Gaihọn. 39 N’ebe ahụ, Zadọk onye nchụaja
wepụtara mpi mmanụ† ahụ dị n’ụlọ nzute‡ Chineke, were tee Solomọn n’isi. Ha
fụkwara opi. Mgbe ahụ, ndị mmadụ niile tiri mkpu sị, “Ka eze Solomọn dịrị ndụ ruo
mgbe ebighị ebi.” 40 Ndị Izrel niile sooro ya rigoo, na-afụ ọja na-aṅụrịkwa oke ọṅụ,
ruo n’ala mara jijiji n’ihi oke ụzụ.
41 Adonaịja na ndị ọbịa ya niile nụrụ mkpu ọṅụ ahụ mgbe ha onwe ha na-erisi nri.
Mgbe Joab nụrụ opi ike ka ọ na-ada, ọ jụrụ sị, “Gịnị mere oke ụzụ dị otu a ji na-ada
n’ime obodo.”
42 Ma mgbe ọ ka kpụ okwu ahụ n’ọnụ, lee Jonatan nwa Abịata onye nchụaja, ka ọ
batara. Adonaịja sịrị, “Bata! N’ihi na ị bụ ezi mmadụ amaara m na ọ bụ oziọma ka
i ji bịa.”

---

§ **1:33** 1:33 Ndị ozi n’ụlọeze, a na-ekwu ihe banyere ha n’ebe a, bụ ndị agha eze. * **1:38** 1:38 Ndị Keret na ndị Pelet, bụ ndị nche eze Devid, ndị sitere na mba Kriit na Filistia. 1Sa 30:14; 2Sa 2:18 † **1:39** 1:39 Mmanụ a, bụ ụdị mmanụ otiti ahụ Chineke nyere Mosis iwu ka o mee n’Akwụkwọ Ọpụ 30:22-33 ‡ **1:39** 1:39 Ụlọ nzute, bụ ụlọ ikwu ahụ Devid wuru maka i dọba igbe ọgbụgba ndụ Chineke. Mgbe ahụ, ụlọ nzute ahụ ka dị na Gibiọn. 1Ez 3:4; 2Sa 6:17

43 Jonatan zara ya sị, “Mba, ọ dịghị otu ahụ! Onyenwe anyị eze Devid emeela
Solomọn eze. 44 Eze e zigala ya na Zadọk onye nchụaja, na Netan onye amụma,
na Benaya nwa Jehoiada, ndị Keret na ndị Pelet sokwa duru ya gaa. Ha mere ka ọ
nọkwasị n’elu ịnyịnya muul eze. 45 Zadọk onye nchụaja na Netan onye amụma eteela
ya mmanụ na Gaihọn ịbụ eze. Ha esitekwala n’ebe ahụ ṅụrụ ọṅụ na-alaghachikwa,
ndị obodo niile nọkwa ugbu a na-eme mkpọtụ, na-aṅụrịkwa ọṅụ. Ọ bụkwa ụzụ ọṅụ
ha ka unu nụrụ. 46 Solomọn na-anọkwasị n’ocheeze ugbu a. 47 Ọzọkwa, ndị na-ejere
eze ozi abịala ikele onyenwe anyị eze Devid ekele, na-asị, ‘ka Chineke gị mee ka aha
Solomọn bụrụ aha a ma ama karịa nke gị, ka ocheeze Solomọn dịkwa ukwuu karịa
nke gị.’ Eze nọkwa n’elu ihe ndina ya kpọọ isiala ofufe, 48 sị, ‘Otuto dịrị ONYENWE
ANYỊ, Chineke Izrel onye mere ka m jiri anya m hụ onye nọchiri anya n’ocheeze m
taa.’ ”
49 Mgbe ahụ, Adonaịja, na ndị ọbịa ya si n’ebe ha na-eri ihe malie. Onye ọbụla
sikwa n’ebe ahụ gbapụ ọsọ, n’ihi ụjọ. 50 Ma Adonaịja tụrụ egwu nke ukwuu ihe
Solomọn ga-eme ya, n’ihi ya, ọ gara jide mpi dị n’ebe ịchụ aja aka. 51 Mgbe ahụ, a
gwara Solomọn sị, “Adonaịja na-atụ egwu ihe Solomọn ga-eme ya, n’ihi ya ọ na-ejide
mpi ebe nchụaja aka. Ọ na-asị, ‘Ka eze Solomọn ṅụọra m iyi taa sị na ọ gaghị eji
mma agha gbuo ohu ya.’ ”
52 Solomọn zara sị, “Ọ bụrụ na o gosi onwe ya dịka onye kwesiri ntụkwasị obi,
otu agịrị isi dị ya n’isi agaghị ada n’ala, ma ọ bụrụ na a hụta ihe ọjọọ na n’aka ya,
ọ ga-anwụ.” 53 Mgbe ahụ, eze Solomọn, zigara ndị ozi mere ka o site n’ebe nchụaja
rịdata. Adonaịja bịara kpọọ isiala nye eze Solomọn. Mgbe ahụ, Solomọn sịrị ya, “Laa
n’ụlọ gị.”

# 2

*Ndụmọdụ Devid nyere Solomọn*

1 Mgbe ụbọchị ọnwụ eze Devid na-abịaru nso, o nyere nwa ya Solomọn iwu sị ya,
2 “Oge ọnwụ m eruola,” ka ọ sịrị, “Ya mere, dị ike, meekwa dịka nwoke. 3 Debe iwu
niile ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị nyere, bie ndụ n’ụzọ ya niile. Debekwa ụkpụrụ na
ihe niile o nyere n’iwu, na ntụziaka ya niile dịka e dere ya n’akwụkwọ iwu Mosis.
Mee nke a ka ihe niile ị ga-eme gaara gị nke ọma, n’ihe niile ị na-eme, n’ebe ọbụla
ị na-eche ihu gị. 4 Ka ONYENWE ANYỊ mezuo nkwa o kwere banyere m, sị ‘Ọ bụrụ na
ụmụ gị na ụmụ ụmụ ha elezie anya n’otu ha si ebi ndụ, ọ bụrụ na ha ejegharịa n’ụzọ
ikwesi ntụkwasị obi n’ihu m, jiri obi ha niile na mkpụrụobi ha mee nke a, ị gaghị
achọ onye ga-anọkwasị n’oche eze Izrel achọ.’
5 “Ugbu a, gị onwe gị maara ihe Joab nwa Zeruaya mere m, ya bụ ihe o mere mmadụ
abụọ bụ ndịisi agha Izrel, Abna nwa Nea, na Amasa nwa Jeta. O gburu ha, wufuo
ọbara ha n’oge udo, dịka a ga-asị na ọ bụ ihe e mere n’agha. O jikwa ọbara ahụ
meruọ ihe okike o kere n’ukwu na akpụkpọụkwụ o yi n’ụkwụ. 6 Ị bụ nwoke maara
ihe, ị makwaara ihe ị ga-eme. Ekwela ka Joab, n’agbanyeghị isi awọ ya, nwụọ n’udo.
7 “Ma meere ụmụ Bazilai onye Gilead ebere. Meekwa ka ha bụrụ ndị na-eso gị rie
ihe na tebul gị n’ihi na ha ji obi ha zute m mgbe m na-agba ọsọ ndụ n’ihi nwanne gị
Absalọm.
8 “Cheta Shimei, nwa Gera, onye Benjamin ahụ bi n’obodo Bahurim, onye kọchara
m nkọcha jọgburu onwe ya n’ụbọchị ahụ m jere Mahanaim. Mgbe ọ bịara izute m
na Jọdan, eji m aha ONYENWE ANYỊ ṅụọrọ ya iyi sị ya, ‘Agaghị m eji mma agha gbuo
gị.’ 9 Ma achọghị m ka ị hapụ ya dịka onye ikpe na-amaghị. Ị bụ nwoke maara ihe.
Ị makwaara ihe ị ga-eme ya. Mee ka o jiri isi awọ ọbara juru baa n’ili.”
10 Emesịa, Devid sooro ndị nna nna ya ha dina n’ọnwụ. E liri ya na obodo Devid.
11 Ma ọ chịrị Izrel iri afọ anọ; ọ chịrị afọ asaa na Hebrọn, chịakwa iri afọ atọ na

atọ na Jerusalem. 12 Solomọn nọdụrụ n'ocheeze nna ya Devid dịka eze. Alaeze ya guzosiri ike nke ukwuu. Ọchịchị ya gakwara nke ọma.

*Iguzosi ike nke ịchị eze Solomọn*

13 Otu ụbọchị, Adonaịja nwa Hagit, bịakwutere Batsheba, nne Solomọn. Mgbe Batsheba hụrụ ya, ọ jụrụ ya ajụjụ sị, "Ọ bụkwa ọbịbịa udo ka ị bịara?"

Adonaịja zara sị ya, "E, abịara m n'udo." 14 O kwuru sị, "O nwere ihe m nwere ịgwa gị."

Nne Solomọn zara sị ya, "Kwuo."

15 Ọ zara sị, "Dịka ị maara, ọ bụ m nwe alaeze a. Ndị Izrel niile lekwara anya na m ga-abụ eze ha. Ma otu ọ dị, ihe niile adịghịkwa ka ọ dị na mbụ, alaeze a aghọọla nke nwanne m, n'ihi na o si n'aka ONYENWE ANYỊ rute ya aka. 16 Ugbu a, enwere m otu ihe m na-arịọ n'aka gị. Biko ajụkwala imere m ya."

Batsheba sịrị ya, "Gịnị bụ arịrịọ gị? Kwuo ihe ọ bụ."

17 Ọ zaghachiri ya sị, "Biko rịọrọ m Solomọn eze, n'ihi na amaara m na ọ ga-eme ihe ọbụla ị rịọrọ ya, ka ọ kpọnye m Abishag, nwanyị Shunem ahụ, ka ọ bụrụ nwunye m."

18 Batsheba zara sị ya, "Ọ dị mma, aga m agwara gị eze okwu."

19 Emesịa, Batsheba bịakwutere eze Solomọn ịgwa ya okwu banyere Adonaịja. Mgbe ọ na-abata, eze sitere n'ocheeze ya bilie gaa izute ya, kpọkwaa isiala nye ya nọdụ ala n'ocheeze ya. O mere ka e butere nne eze* ocheeze, ọ nọdụkwara ala n'aka nri ya.

20 Ọ sịrị, "Enwere m arịrịọ nta m chọrọ ịrịọ gị. Ajụkwala i mere m ya."

Eze zaghachiri, "Rịọọ ya nne m. Agaghị m ajụ i mere gị ya."

21 Ya mere ọ sịrị, "Biko, kwere ka enye nwanne gị nwoke Adonaịja Abishag nwanyị Shunem, ka ọ bụrụ nwunye ya."

22 Eze Solomọn zara nne ya sị, "Gịnị mere i ji rịọọ m ka m nye Adonaịja naanị Abishag nwanyị Shunem ka ọ bụrụ nwunye ya? Ị gaara arịọkwa m sị m nye ya alaeze m. N'ihi na ọ bụ ya tọrọ m" Ị gaara arịọkwa n'ihi Abịata onye nchụaja ma Joab nwa Zeruaya.

23 Mgbe ahụ, eze Solomọn ji ONYENWE ANYỊ ṅụọ iyi sị, "Ka Chineke mesoo m mmeso, otu ọbụla mmeso ahụ si dị njọ, ma ọ bụrụ na Adonaịja ejighị ndụ ya kwụọ ụgwọ n'ihi arịrịọ a. 24 Ugbu a, dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, bụ onye ahụ mere ka m nọgidesie ike n'ocheeze nna m Devid, onye mere ka ọchịchị eze m malite dịka o kwere na nkwa, a ga-eme ka Adonaịja nwụọ taa." 25 Eze Solomọn zigara Benaya nwa Jehoiada ka ọ gaa gbuo Adonaịja. Benaya gakwara tigbuo Adonaịja.

26 Eze kpọkwara Abịata onye nchụaja sị ya, "Laghachi azụ n'ubi gị n'Anatot.† I kwesiri ịnwụ ọnwụ ma ọ bụghị ugbu a ka a ga-egbu gị n'ihi na i buru igbe ọgbụgba ndụ Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ n'oge nna m Devid dị ndụ. I sokwa ya hụọ ahụhụ n'oge ahụ niile o nwere nsogbu." 27 Ya mere, Solomọn chụpụrụ Abịata‡ ka ọ ghara ịbụ onye nchụaja ONYENWE ANYỊ ọzọ. Otu a ka o si mezuo§ bụ okwu ahụ ONYENWE ANYỊ kwuru banyere ezinaụlọ Elayị na Shailo.

28 Ma mgbe Joab nụrụ na Adonaịja anwụọla, ọ gbaara ọsọ gaa n'ụlọ nzute ONYENWE ANYỊ jigide mpi dị n'akụkụ ebe ịchụ aja aka. Ọ bụ ezie na Joab so Adonaịja gbaa izu imegide Solomọn, ma o soghị Absalọm gbaa izu imegide Devid. 29 Mgbe a gwara eze Solomọn, na Joab a gbabala n'ụlọ ikwu ONYENWE ANYỊ, nọdụ n'akụkụ ebe ịchụ aja. Solomọn nyere Benaya, nwa Jehoiada iwu sị, "Gaa, tituo ya n'ala."

---

* **2:19** 2:19 N'ụlọeze mba ndị dị n'ọwụwa anyanwụ, nne eze bụ onye a na-asọpụrụ. A na-enyekwa ya ọrụ ụfọdụ ka ọ rụọ, i ji kwanyere ya ugwu. † **2:26** 2:26 Anatot, bụ otu n'ime obodo nke ebo Benjamin nyere ndị nchụaja Jos 21:18; Jer 1:1 ‡ **2:27** 2:27 Ọ bụ naanị Abịata gbapụrụ mgbe a na-egbu ndị ezinaụlọ Elayị. 1Sa 22:17-20 § **2:27** 2:27 1Sa 2:27-36

30 Benaya banyere n’ime ụlọ nzute ONYENWE ANYỊ, sị Joab, “Eze sị gị, ‘pụta ezi!’ ”
Ma ọ zara, “Mba, aga m anwụ n’ebe a.”
N’ihi nke a, Benaya jekwuru eze gwa ya ihe Joab kwuru.
31 Mgbe ahụ, eze nyere Benaya iwu sị ya, “Gaa mee dịka o kwuru. Gbuo ya, liekwa
ya. Nke a ga-eme ka ikpe ọmụma ghara ịdịrị mụ na ezinaụlọ nna m Devid n’ihi
ikpe ọmụma dịrị Joab maka ọbara ndị aka ha dị ọcha ọ wụsiri. 32 ONYENWE ANYỊ
ga-emekwa ka ọbara ọ wụsiri laa ya n’isi, n’ihi na o ji mma agha gbuo ndị ikom
abụọ, ma nna m Devid amaghị maka ya. Ha abụọ, ya bụ Abna nwa Nea, ọchịagha
ndị Izrel, na Amasa nwa Jeta, ọchịagha ndị Juda, ndị dị mma ma bụrụkwa ndị ezi
omume karịa ya. 33 Ka ikpe ọmụma dị n’ihi igbu ọchụ ndị a dịkwasị Joab na ụmụ
ụmụ ya n’isi ruo mgbe ebighị ebi. Ma n’ebe Devid na ụmụ ụmụ ya, na ụlọ ya, na
ocheeze ya dị, ka udo ONYENWE ANYỊ dịkwasị ha ruo mgbe ebighị ebi.”
34 Benaya nwa Jehoiada gara gbuo Joab. E liri ya n’ala nke ya[*] dị n’ọzara. 35 Mgbe
ahụ, eze họpụtara Benaya, nwa Jehoiada ka ọ bụrụ onyeisi ndị agha ya niile, ma mee
Zadọk onye nchụaja n’ọnọdụ Abịata.
36 Emesịa, eze ziri Shimei ozi sị ya, “wuoro onwe gị ụlọ na Jerusalem, biri n’ebe
ahụ, esitekwala n’ebe ahụ pụọ jee ebe ọbụla. 37 N’ihi na ụbọchị ị ga-apụ gafee iyi dị
na Ndagwurugwu Kidrọn, mara nke ọma na ị ghaghị ịnwụ. Ọbara gị ga-adịkwa gị
n’isi.”
38 Shimei zara eze, “Okwu gị dị mma. Ohu gị ga-eme dịka onyenwe m bụ eze
kwuru.” Shimei biiri n’ime Jerusalem, nọọkwa ọtụtụ ụbọchị.
39 Ma n’ọgwụgwụ afọ atọ, ndị ohu abụọ Shimei nwere gbapụrụ ọsọ gbakwuru
Akish, nwa Maaka, eze Gat.[†] Ndị mmadụ bịara gwa Shimei sị ya, “Lee, ndị ohu gị
nọ na Gat.” 40 Nke a mere ka o bilie, rịkwasị n’elu ịnyịnya ibu ya, gaa Gat, jekwuru
Akish n’ihi ịchọ ndị ohu ya. Shimei gara mee ka ndị ohu ya soro ya laghachite azụ.
41 Mgbe a gwara Solomọn na Shimei hapụrụ Jerusalem gaa Gat ma lọghachikwa
azụ, 42 eze ziri ozi kpọọ Shimei sị ya, “Ọ bụ na m adọghị gị aka na ntị, jiri aha
ONYENWE ANYỊ ṅụọ iyi sị, ‘Mara nke ọma n’ụbọchị ọbụla ị ga-esi n’ebe a pụọ gaa
n’ebe ọbụla ọzọ, na ị ga-anwụ?’ N’oge ahụ, ị zara m sị m, ‘Okwu gị dị mma. Aga m
emekwa ya.’ 43 Ọ bụ gịnị mere i ji mebie iyi ị ṅụrụ nye ONYENWE ANYỊ, jụkwa idebe
ihe m nyere gị n’iwu?”
44 Eze gwakwara Shimei okwu sị ya, “I maara ihe ọjọọ[‡] niile i mere megide nna m
Devid. Ugbu a ONYENWE ANYỊ ga-akwụghachi gị ụgwọ n’ihi omume ọjọọ gị. 45 Ma
eze Solomọn ga-abụ onye a gọziri agọzi. Ocheeze Devid ga-eguzosikwa ike n’ihu
ONYENWE ANYỊ ruo mgbe ebighị ebi.”
46 Mgbe ahụ, eze nyere Benaya, nwa Jehoiada iwu ka o gbuo Shimei. Ọ pụkwara
tituo ya, ọ nwụọ.
Sitekwa n’oge ahụ, alaeze Solomọn guzosiri ike n’aka ya.

# 3

*Solomọn arịọ maka amamihe*

1 Solomọn na Fero eze Ijipt jikọtara onwe ha n’otu, ọ lụrụ nwa nwanyị Fero. Ọ
kpọbatara ya n’obodo Devid ruo mgbe o wusiri ụlọeze ya na ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ,
na mgbidi gbara Jerusalem gburugburu. 2 N’oge ahụ, ndị Izrel ka na-achụ aja ha n’ebe
dị elu niile, n’ihi na ewubeghị ụlọnsọ ukwu nye aha ONYENWE ANYỊ. 3 Ma Solomọn
gosiri ịhụnanya n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ, site na ịgbaso ntụziaka niile nke Devid nna
ya nyere ya, ọ bụ naanị na ọ chụrụ ọtụtụ aja dị iche iche, na ihe nsure ọkụ na-esi isi
ụtọ n’ebe dị elu dị iche iche.

---

[*] **2:34** 2:34 N’oge ochie, n’ihi na-enweghị ebe ili ozu nke ozuzu ọha, a na-eli onye ọbụla n’ala nke aka ya. [†] **2:39** 2:39 Obodo Gat dị na Filistia. [‡] **2:44** 2:44 2Sa 16:5-13

4 Eze gara Gibiọn n'ihi ịchụ aja, n'ihi na ebe ahụ bụ ebe kachasị mkpa, dị elu.
Solomọn chụrụ otu puku aja nsure ọkụ n'elu ebe ịchụ aja ahụ. 5 Na Gibiọn, ONYENWE
ANYị mere ka Solomọn hụ ya anya na nrọ nke abalị, Chineke sịrị ya, "Rịọọ ihe ọbụla
ị chọrọ ka m nye gị."

6 Solomọn zara sị, "I gosila ohu gị bụ nna m Devid obi ebere dị ukwuu, n'ihi na
ọ bụ onye kwesiri ntụkwasị obi nye gị, onye ezi omume nakwa onye obi ya ziri
ezi. Ị nọgidela na-egosi ya obi ebere dị ukwuu, nyekwa ya nwa nwoke ga-anọkwasị
n'ocheeze ya n'ụbọchị taa.

7 "Ugbu a, ONYENWE ANYị bụ Chineke m, i meela ohu gị eze n'ọnọdụ nna m, bụ
Devid. Ma abụ m naanị nwantakịrị* na-amaghị otu esi apụ ma na-abatakwa.† 8 Ohu
gị nọ n'ebe a, n'etiti ndị gị ị họpụtara, ndị bara ụba nke ukwuu, ndị a na-adịghị
agụta ọnụ n'ihi n'ọnụọgụgụ ha babigara ụba oke. 9 Ya mere, nye ohu gị uche nghọta
nke m ga-eji chịa ndị gị, na ịghọta ihe dị iche n'etiti ezi ihe na ajọ ihe. N'ihi na onye
pụrụ ịchịkọta ndị gị a dị ukwuu?"

10 Ọ masịrị Onyenwe anyị na Solomọn rịọrọ nke a. 11 Ya mere, Chineke zara sị ya,
"N'ihi na ị rịọrọ amamihe na nghọta ị ga-eji chịa ndị m, ma ị rịọghị m ka m nye gị ndụ
ogologo, maọbụ akụnụba, maọbụ ọnwụ nye ndị iro gị. 12 Aga m eme dịka ihe ị rịọrọ
si dị. Aga m enye gị obi maara ihe na uche ịghọta ihe ziri ezi, nke ga-abụ na ọ dịghị
onye ọbụla dịka gị, ọ dịghịkwa onye ọbụla ga-adị ka gị. 13 Ọzọkwa, aga m enyekwa
gị ihe ndị ahụ ị na-arịọghị m, akụnụba, na nsọpụrụ, ka ọ ga-abụ n'ụbọchị niile nke
ndụ gị, ị gaghị enwe onye ọbụla ga-adị ka gị n'etiti ndị eze niile. 14 Ọ bụrụkwa na i
jee ije n'ụzọ m niile, debe iwu m, meekwa ihe m gwara gị, dịka nna gị Devid mere,
aga m enye gị ogologo ndụ." 15 Mgbe ahụ, Solomọn si n'ụra teta, ghọtakwa na ọ bụ
nrọ ka ọ na-arọ.

Ọ lọtara na Jerusalem bata guzo n'ihu igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị, chụọ aja
nsure ọkụ na aja udo. Emesịa, o meere ndị na-ejere ya ozi oke oriri.

### *Ikpe ziri ezi Solomọn kpere*

16 Mgbe ihe ndị a gasịrị, ụmụ nwanyị akwụna abụọ bịakwutere eze, guzo n'ihu
ya.‡ 17 Otu n'ime ha gwara ya sị, "Onyenwe m, mụ na nwanyị a bi n'otu ụlọ. Anyị
abụọ dịkwa ime. Ma eburu m ya ụzọ mụọ nwa nke m. 18 Mgbe ụbọchị atọ gasịrị ka
m mụsịrị nwa, ya onwe ya mụkwara nwa nke ya. Naanị anyị abụọ bi, o nweghị onye
ọzọ binyere anyị.

19 "Ma n'otu abalị, nwa ya nwụrụ mgbe o dinakwasịrị ya n'oge ọ na-arahụ ụra.
20 Mgbe o biliri n'etiti abalị, chọpụtara na nwa ya anwụọla, o kuuru ya nibe ya
n'akụkụ m, kurukwanụ nwa nke m dị ndụ nibe n'akụkụ ya onwe ya. 21 N'isi ụtụtụ,
mgbe m tetara n'ụra chọọ inye nwa m ara, achọpụtara m na ọ nwụọla. Ma mgbe m
leziri ya anya nke ọma ka chi bọrọ, ahụrụ m na nwa mụ na ya dina abụghị nwa nke
m mụrụ."

22 Mgbe ahụ, nwanyị nke ọzọ kwuru sị, "Mba, nwantakịrị ahụ dị ndụ bụ nwa m,
ma nke nwụrụ anwụ bụ nwa gị." Nwanyị nke mbụ zara sị,

"Mba, ọ bụghị eziokwu; nwa nke nwụrụ anwụ bụ nke gị, ma nke dị ndụ bụ nke
m." Otu a ka ha si na-arụrịta ụka n'ihu eze.

23 Eze kwuru sị, "Onye nke a na-asị, 'Nwa m bụ nke dị ndụ, ma nke gị bụ nke
nwụrụ anwụ,' mgbe onye nke ọzọ na-asị, 'Mba! Nwa gị bụ nke nwụrụ anwụ, ma nke
m bụ nke dị ndụ.' "

---

* **3:7** 3:7 Ọ bụghị nwantakịrị n'ọnụọgụgụ afọ kama ọ bụ n'amamihe, n'ihi n'oge a, ọ bụ naanị iri afọ abụọ ka Solomọn gbara. 1Ih 22:5; Jer 1:6 † **3:7** 3:7 Maọbụ, na-amaghị otu m ga-esi arụ ọrụ m ndị a. ‡ **3:16** 3:16 Ka o dozieere ha okwu.

24 Mgbe ahụ, eze sịrị, “Wetara m mma agha.” Ya mere, ha wetaara eze mma agha.
25 Eze nyere iwu sị, “Kpọwaa nwa ahụ dị ndụ ụzọ abụọ, were otu ọkara nye otu onye,
werekwa nke ọzọ nye onye nke ọzọ.”
26 Nwanyị ahụ nwa ya dị ndụ jupụtara n'ọmịiko n'ebe nwa ya nọ, ọ gwara eze sị,
“Biko, onyenwe m, kunye ya nwantakịrị ahụ dị ndụ. Egbukwala ya.”
Ma onye nke ọzọ sịrị, “Kpọwaa ya abụọ. Nwa a agaghị abụ nke gị, ọ gaghị abụkwa
nke m.”
27 Mgbe ahụ, eze kpebiri ikpe sị, “Kuru nwantakịrị a dị ndụ kunye ya nwanyị ahụ
chọrọ ka ọ dị ndụ. Egbula ya, n'ihi na nwanyị ahụ bụ nne ya.”
28 Mgbe ndị Izrel niile nụrụ otu eze si kpebie ikpe a, ha sitere n'ịtụ egwu nye eze
nsọpụrụ, n'ihi na ha hụrụ na o si n'aka Chineke nweta amamihe§ ikpe ikpe ziri ezi.

# 4

*Ndịisi ozi Solomọn*

1 Ya mere Solomọn ghọrọ eze ndị Izrel niile.

2 Ndị a bụ aha ndịisi ọchịchị obodo eze Solomọn họpụtara inyere ya aka.

Azaraya,* nwa Zadọk bụ onye nchụaja.
3 Elihoref na Ahija, ụmụ ndị ikom Shisha, bụ ndị ode akwụkwọ.
Jehoshafat, nwa Ahilud bụ onye na-edekọ akụkọ.
4 Benaya, nwa Jehoiada bụ onyeisi agha ndị Izrel.
Zadọk na Abịata, bụ ndị nchụaja.
5 Azaraya nwa Netan bụ onyeisi na-elekọta ndị na-ejere eze ozi.
Zabud nwa Netan bụ onye nchụaja na onye ndụmọdụ nye eze.
6 Ahisha, bụ onyeisi na-elekọta n'ụlọeze.
Adoniram nwa Abda bụ onyeisi na-elekọta ndị ọrụ mmanye.

7 Eze Solomọn họpụtara ndị ikom iri na abụọ ndị o mere ndịisi ga-elekọta akụkụ iri na abụọ nke o mere ka Izrel dịrị. Mmadụ iri na abụọ ndị a nwekwa ọrụ iwetara eze ihe oriri. Nwoke ọbụla n'ime ha nwe iwetara eze na ezinaụlọ ya ihe oriri otu ọnwa n'afọ.

8 Nke a bụ aha ndị ikom iri na abụọ ahụ.

Ben-Hua, onye na-achị ala ugwu ugwu Ifrem.
9 Ben-Deka, onye na-achị Makaz, na Shaalbim na Bet-Shemesh, na Elọn Bethanan.
10 Ben-Hesed, onye na-achị Arubot, na Soko, na Ala Hefa niile.
11 Ben-Abinadab, onye na-achị ala elu elu Doa. Nwoke a lụrụ Tafat, nwa nwanyị Solomọn.
12 Baana, nwa Ahilud, onye na-achị Teanak, na Megido n'akụkụ Bet-Shan niile, nke dị n'akụkụ Zaretan na ndịda Jezril, sitekwa na Bet-Shan ruo Ebel-Mehola gafee ma ruokwa Jokmeam.
13 Ben-Geba, onye na-achị Ramọt Gilead, na obodo niile nke ikwu Jaịa, nwa Manase nwere n'ime Gilead, na akụkụ Agob niile nke dị na Bashan, na iri obodo ukwu isii e ji mgbidi gbaa gburugburu, nke nwekwara mkpọrọ bronz e ji kpụọ ụzọ ya.
14 Ahinadab nwa Ido, onye na-achị Mahanaim.

§ **3:28** 3:28 1Ez 3:9,11-12; 2Ih 1:12; Dan 1:17; Kọl 2:2,3 * **4:2** 4:2 Zadọk mụrụ Ahimaaz, Ahimaaz a mụọ Azaraya. Ya mere, Zadọk ji bụrụ nna nna Azaraya. Azaraya bụ onyeisi nchụaja n'Izrel n'afọ niile Solomọn chịrị, n'ihi na mgbe ahụ Ahimaaz anwụọla. 2Sa 15:27,36; 1Ih 6:8-9

15 Ahimaaz, onye na-achị Naftalị (ọ lụkwara nwa nwanyị Solomọn a na-akpọ Basemat).
16 Baana nwa Hushaị, onye na-achị Asha na Alot.
17 Jehoshafat nwa Parua onye na-achị Isaka.
18 Shimei nwa Ela onye na-achị Benjamin.
19 Gebea nwa Uri, onye na-achị Gilead (ala Saịhọn eze ndị Amọrait, na nke Ọg eze Bashan). Naanị ya ka e doro dịka gọvanọ ala ahụ.

### *Ihe a na-ebubatara Solomọn kwa ụbọchị*

20 N’oge a, ndị Juda na Izrel bara ụba n’ọnụọgụgụ dịka aja dị n’akụkụ osimiri. Ha
dịkwa ukwuu n’ọnụọgụgụ. Ha na-eri na-aṅụ, na-emekwa onwe ha obi ụtọ. 21 Ala
niile Solomọn na-achị sitere n’oke osimiri Yufretis ruo ala ndị Filistia, rukwaa n’oke
ala ndị Ijipt.† Ndị niile a lụgburu n’agha n’obodo ndị a na-atụta ụtụ ha na-enye
Solomọn. Ha nọgidekwara n’okpuru Solomọn ụbọchị niile nke ndụ ya.
22 Ihe oriri a na-ewebata n’ụlọ Solomọn ụbọchị niile bụ otu narị bushel ụtụ ọka
na iri bushel asatọ, na iri akpa ọka a kwọrọ akwọ isii, 23 na ehi iri mara abụba, na
iri ehi abụọ a zụrụ n’ebe a na-azụ anụ, na narị atụrụ na ewu. A gụnyeghị anụ ele
na mgbada na oke ele na ọkụkọ ọma‡ a na-ewebata. 24 N’ihi na ọ chịrị alaeze niile
a ruo n’akụkụ ọdịda anyanwụ nke osimiri Yufretis, site na Tifsa ruo na Gaza.§ O
nwekwara udo n’akụkụ niile. 25 N’oge ndụ Solomọn niile, Juda na Izrel site na Dan
ruo Bịasheba bi n’udo. Nwoke ọbụla nọ n’okpuru osisi vaịnị na n’okpuru osisi fiig
nke ya.*
26 Ọnụọgụgụ ụlọ a na-etinye ụgbọ agha ịnyịnya na-adọkpụ nke Solomọn nwere dị
puku anọ. Ọnụọgụgụ ịnyịnya a na-agba agba o nwere dị puku iri na abụọ.†
27 N’ọnwa ọbụla, ndị ahụ a họpụtara ịchị Izrel na-ewetara eze Solomọn na ndị ụlọ
ya ihe oriri. Ha adịghị ekwekwa ka otu ihe kọọ n’ụlọ ya. 28 Ha na-ewetakwa ọka balị
na ahịhịa ọka n’ebe o kwesiri, maka ịnyịnya na-adọkpụ ụgbọ agha na ịnyịnya ụkwụ
ọsọ ndị ọzọ dịka ihe ha ketara n’ụtụ si dị.

### *Amamihe Solomọn*

29 Chineke nyere Solomọn amamihe, na uche nghọta, na mmụọ ịmụta ọtụtụ ihe nke
bara ụba dịka aja dị n’akụkụ osimiri. 30 Amamihe Solomọn dị ukwuu karịa amamihe
ndị si ọwụwa anyanwụ.‡ N’ezie, ọ dị ukwuu karịakwa amamihe ndị maara ihe n’Ijipt.
31 Ọ maara ihe karịa onye ọbụla, karịa Etan onye Ezra, na Heman, na Kalkol, na
Dada, ụmụ ndị ikom Mahol. Ihe banyere ịdị ukwuu ya gbasara na mba niile gbara
ha gburugburu. 32 Ọ tụrụ puku ilu atọ, deekwa abụ ọnụọgụgụ ha dị otu puku na ise.
33 O kwuru okwu banyere osisi, site na osisi sida nke Lebanọn ruo n’ahịhịa hisọp nke
na-eto na mgbidi aja, na ihe banyere ụmụ anụmanụ na anụ ufe, na anụ na-akpụgharị
n’ala nakwa azụ. 34 Ndị eze niile dị n’ụwa bụ ndị bịara ịnụrụ banyere amamihe ya
zitere ndị si na mba niile dị iche iche ịnụrụ okwu amamihe Solomọn.

## 5

### *Nkwado maka iwu Ụlọnsọ ukwu*

1 Mgbe Hiram eze Taịa* nụrụ na eteela Solomọn mmanụ ịbụ eze n’ọnọdụ nna ya

---

† **4:21** 4:21 Oke alaeze niile Solomọn bụ dịka Chineke kweere ya Ebraham na nkwa Jen 15:18-21; Dit 17; 11:24; Jos 1:4. ‡ **4:23** 4:23 Ya bụ, ụgbala mmiri § **4:24** 4:24 Tifsa ruo na Gaza, bụ obodo dị n’ọwụwa anyanwụ nke ugwu. Ọ bụ oke alaeze Solomọn n’ugwu, bụrụkwa obodo dị mkpa nke dị n’akụkụ osimiri Yufretis. Gaza na Filistia bụ obodo ndị dị nso n’osimiri Mediterenịan. Ha bụ oke ala n’ọwụwa anyanwụ nke ndịda alaeze ahụ. * **4:25** 4:25 Nwoke ọbụla nọ n’okpuru osisi vaịnị na n’okpuru osisi fiig nke ya Nke a pụtara n’ezinaụlọ ọbụla, biri n’udo na nchekwa n’ụlọ ha. Jer 23:6. † **4:26** 4:26 Dit 17:16 ‡ **4:30** 4:30 Ebe a, na-ekwu banyere ebo ndị Arab bi na mpaghara ọwụwa anyanwụ Palestia. Jen 25:6; Nkp 6:3,33; 7:12; 8:10 * **5:1** 5:1 2Sa 5:11; 2Ih 14:1

Devid, o zipụrụ ndị ozi ya ijekwuru Solomọn, n'ihi na ya na Devid bụ enyi, dịrịkwa
na mma. 2 Mgbe ahụ, Solomọn zigara Hiram ozi, sị ya:
3 "Ị maara na Devid nna m enweghị ike iwu ụlọnsọ ukwuu nye Aha Onyenwe anyị
Chineke ya, n'ihi agha niile ọ lụrụ mgbe ọ dị ndụ.† Ọ nọkwa na-eche ka Onyenwe
anyị nye ya udo. 4 Ugbu a, Onyenwe anyị Chineke m enyela m udo n'akụkụ ọbụla.
Enwekwaghị m ndị iro, ma ọ bụkwanụ ihe ndakwasị ọjọọ ọbụla. 5 N'ihi ya, ana
m achọ iwu ụlọnsọ ukwu nye Aha Onyenwe anyị Chineke m, dịka Onyenwe anyị
gwara nna m Devid mgbe ọ sịrị ya, 'Nwa gị nwoke, onye m ga-eme ka ọ nọdụ
n'ocheeze gị, ga-ewu ụlọnsọ ukwu nye Aha m.'
6 "Ya mere, nye iwu ka e gbutuoro m osisi sida nke Lebanọn. Ndị ọrụ m ga-esoro
ndị nke gị n'ọrụ a. Aga m akwụ gị ihe ọbụla i kpebiri bụ ụgwọ ọrụ ha. Ị maara na
anyị enweghị ndị ọka igbutu osisi dịka ndị Saịdọn."
7 Mgbe Hiram nụrụ ozi Solomọn ziri, obi tọrọ ya ụtọ nke ukwuu. O kwuru sị, "Otuto
dịrị Onyenwe anyị taa, n'ihi na o nyela Devid nwa nwoke nwere amamihe ịchị mba
ukwuu a."
8 Ya mere, Hiram zigaara Solomọn ozi sị,
"Anụla m ozi i ziteere m. Aga m emekwa ihe niile dịka i kwuru banyere i
budatara gị osisi sida na osisi junipa. 9 Ndị ohu m ga-esi n'ugwu Lebanọn budaruo
ha n'osimiri Mediterenịa. A ga-ekekọta ha ọnụ, zitere gị ha n'ebe ị chọrọ ịnọ buru
ha. Mgbe ha sere n'elu mmiri rute ebe ị chọrọ, anyị ga-atọsakwara gị ha, ka i buru
ha. Ma gị onwe gị ga-eme ihe bụ ọchịchọ m, site na-inye ndị ụlọ m ihe oriri."
10 N'ụzọ dị otu a, Hiram nọgidere na-ezitere Solomọn osisi sida na junipa niile ọ
chọrọ. 11 Solomọn nyere Hiram na ezinaụlọ ya narị puku bushel, na iri puku bushel
ọka wiiti abụọ, ka ọ bụrụ ihe oriri nye ezinaụlọ ya, tinyekwara narị puku galọọnụ,
na iri puku galọọnụ abụọ nke mmanụ oliv asụrụ asụ. Solomọn nọgidere na-enye
Hiram ihe ndị a kwa afọ. 12 Onyenwe anyị nyere Solomọn amamihe dị ukwuu dịka
o kwere ya na nkwa. Hiram na Solomọn nwere mmekọ udo, ha abụọ gbakwara ndụ.
13 Eze Solomọn, sitere n'akụkụ Izrel niile kpọbata ndị ọrụ mmanye ọnụọgụgụ ha
dị iri puku atọ. 14 N'otu ọnwa, ọ na-eziga puku mmadụ iri n'ime ndị a ka ha gaa
Lebanọn ịrụ ọrụ. N'ọnwa ọzọ, ọ na-ezigakwa puku mmadụ iri ka ha gaa gbanwee
ndị buuru ụzọ gaa. N'ụzọ dị otu a, otu ụzọ n'ime iri puku mmadụ atọ ndị a na-anọ na
Lebanọn otu ọnwa maka ịrụ ọrụ, ma ha na-alọta zuo ike ọnwa abụọ. Adoniram‡ bụ
onyeisi ndị ọrụ mmanye a. 15 Solomọn nwere ndị ọrụ ọzọ ọnụọgụgụ ha dị iri puku
asaa na-ebu ibu, nweekwa ndị na-awa nkume n'ugwu ọnụọgụgụ ha dị iri puku asatọ.
16 N'agụnyeghị ndị a, o nwekwara ndịisi, ndị na-elekọta ndị ọrụ ndị a, ọnụọgụgụ ha
dị puku atọ na narị atọ. 17 Dịka iwu eze si dị, ha na-esite n'ebe a na-awa nkume
ebupụta nkume dị mma buru ibu nke e ji ewu ntọala ụlọnsọ ukwu ahụ 18 Ndị ikom
si Gebal, nyere ndị ọrụ Solomọn na ndị ọrụ Hiram aka, igbutu osisi na ịwa ha. Ha
nyekwara aka ịkwado nkume e ji ewu ụlọ ahụ.

# 6

## *Solomọn ewuo Ụlọnsọ Ukwu*

1 Solomọn bidoro iwu ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị ahụ n'ọnwa Zif,* bụ ọnwa nke
abụọ n'afọ nke anọ nke ịbụ eze ya. Ọ bụkwa n'afọ nke mere ya narị afọ anọ na iri
afọ asatọ site n'oge ndị Izrel si n'ala Ijipt pụta.
2 Ụlọnsọ nke eze Solomọn wuuru Onyenwe anyị dị iri mita abụọ na asaa n'ogologo,
mita itoolu n'obosara, ebe ịla elu ya dịkwa mita iri na anọ. 3 Mpụta ọnụ ụlọ nke
dị n'ihu ụlọ ezumezu nke ụlọnsọ ahụ dị mita itoolu n'ogologo nke gbakwunyere ihe

† **5:3** 5:3 1Ih 28:2-3; 22:7-8 ‡ **5:14** 5:14 1Ez 12:18 * **6:1** 6:1 Ọnwa Zif, bụ ọnwa abụọ n'afọ, n'ọnụọgụgụ afọ
ndị Juu ma bụrụ ọnwa ise n'afọ n'ọnụọgụgụ afọ ugbu.

n’obosara ụlọnsọ ahụ, dịrịkwa mita anọ na ọkara n’obosara ya. 4 O meere ụlọnsọ
ahụ oghereikuku kpara nkpa n’ime ma saa mbara n’ezi, n’ebe elu elu mgbidi ụlọ
ahụ. 5 N’akụkụ mgbidi ụlọ ezumezu ahụ nakwa mgbidi nke ime ebe nsọ ahụ, o wuru
okpukpu gburugburu ụlọ ahụ, nke nwere ọtụtụ ụlọ nta dị iche iche gbaa gburugburu.
6 Obosara okpukpu ụlọ nke dịkarịsịrị ala† bụ mita abụọ na ọkara, obosara okpukpu
nke ụlọ etiti dị mita atọ, otu a kwa, obosara okpukpu ụlọ nke atọ dị mita atọ na ọkara.
Mgbe e wuru mgbidi gbara ụlọnsọ ukwu ahụ gburugburu, e wukwara ihe dịka aka
n’akụkụ mgbidi ahụ niile. Ọ bụ n’elu ihe ndị a dịka aka ka e dokwasịrị osisi e ji wuo
ọnụụlọ nta ndị ahụ. N’ụzọ dị otu a, ka e ji gbochie ịmanye ihe ọbụla n’aja ụlọnsọ
ukwu ahụ.
7 Mgbe a na-ewu ụlọnsọ ukwu ahụ, ọ bụ naanị nkume awara nke ọma n’ebe a nọ
gwupụta ha ka eji wuo ya. O nweghị onye nụrụ ụzụ itipịa nkume, maọbụ ụzụ ịwa
osisi, maọbụ ụdị mkpọtụ ahụ ngwa ọrụ mkpirisi igwe na-eme, n’ebe a nọ wuo ụlọnsọ
ukwu ahụ, mgbe a na-ewu ya.
8 Ọnụ ụzọ e si abata n’ọnụ ụlọ ndị dị n’okpukpu ụlọ elu nke mbụ dị n’akụkụ aka
nri nke ụlọnsọ ukwu ahụ. E nwekwara ụzọ nrigo e wuru e si abanye n’ọnụ ụlọ ndị
dị n’okpukpu ndị dị n’etiti. A na-esitekwa na nke a rigoro ruo na nke atọ. 9 Mgbe
o wusiri ụlọnsọ ukwu a, Solomọn jiri ibe osisi na osisi dị obosara e si n’osisi sida
mepụta, wuo ihe mgbachị elu ụlọ ahụ. 10 O wuru ọtụtụ ọnụụlọ nta n’akụkụ mgbidi
gbara ụlọnsọ ukwu ahụ gburugburu. Ọ bụkwa osisi sida ka e ji jikọta mgbidi ụlọ ahụ
na ọnụụlọ nta ndị ahụ. Ịdị elu nke ọbụla n’ime ha bụ mita abụọ na ọkara.
11 Okwu ONYENWE ANYỊ rutere Solomọn ntị, 12 “Banyere ụlọnsọ ukwu a i na-ewu,
ọ bụrụ na i mee ihe m gwara gị, gbasoo ihe niile m nyere gị n’iwu, ma mezuo okwu
m niile, aga m esite na gị mezuo nkwa ahụ m kwere nna gị Devid. 13 Aga m ebikwa
n’etiti ndị Izrel, agaghị m ahapụkwa ndị m, Izrel.”
14 Emesịa, Solomọn wusiri ụlọnsọ ukwu ahụ. 15 O ji osisi sida dị obosara machie
ahụ ime ụlọnsọ ukwu ahụ site n’akụkụ ala ruo n’elu ya. E jikwa osisi junipa machie
ala ụlọ ahụ niile. 16 O ji osisi sida kewapụta ihe ruru mita itoolu n’azụ ụlọnsọ ukwu
ahụ, site n’ala ụlọ ahụ ruo n’elu, n’ihi iwepụta site n’ụlọnsọ ahụ, ime ime ebe nsọ,
nke bụ Ebe Kachasị Nsọ. 17 Ụlọ ezumezu nke dị n’ihu ọnụụlọ a dị iri mita na asatọ.
18 Ahụ ime ụlọnsọ ukwu ahụ bụ osisi sida, nke a tụrụ ihe ọtụtụ nke oyiyi afụfa ọhịa
na okoko osisi wasara awasa n’elu ya. Ihe niile dị n’ime ụlọ ahụ bụ osisi sida, adịghị
ahụ nkume ọbụla anya.
19 Ọ kwadokwara ebe nsọ ahụ, ebe dị n’ime ime ụlọ ahụ, maka idebe igbe ọgbụgba
ndụ ONYENWE ANYỊ n’ebe ahụ. 20 Ime ime ebe nsọ ahụ, dị mita iri n’ogologo, obosara
ya dịkwa mita iri, ịdị elu ya dịkwa mita iri.‡§ O ji ọlaedo a nụchara anụcha machie
ahụ ime ụlọ a niile, jiri osisi sida machie ebe nchụaja ya. 21 Solomọn ji ọlaedo a
nụchara anụcha machie ahụ ime ụlọnsọ ukwu ahụ. Ọ gbatịrị ụdọ ọlaedo gafere
n’ihu ime ime ebe nsọ ahụ, nke e jikwa ọlaedo machie. 22 Ya mere, o ji ọlaedo
machie ime ya niile. O jikwa ọlaedo machie ebe ịchụ aja nke dịịrị ime ime ebe nsọ
ahụ.
23 O mere cherubim abụọ, nke e ji osisi oliv tụọ n’ime ime ebe nsọ ahụ, ịdị elu nke
ọbụla bụ mita ise. 24 Cherub nke mbụ nwere nku abụọ, otu nku dị mita abụọ na
ụma atọ n’ogologo, nku nke ọzọ dịkwa mita abụọ na ụma atọ n’ogologo. Ya bụ, mita
ise site na ụma isii, site n’ọnụ otu nku ruo n’ọnụ nku nke ọzọ. 25 Cherub nke abụọ
dịkwa iri mita na ụma isii, n’ihi na cherubim abụọ ndị a bụ otu n’ọtụtụ nakwa n’ibu
ibu. 26 Ịdị elu nke cherub ọbụla ruru mita ise na ụma isii. 27 O tinyere cherubim ndị
a nke gbasapụrụ nku ha n’ime ime Ebe Nsọ Kachasị Nsọ nke ụlọnsọ ukwu. Ọnụ ọnụ

† **6:6** 6:6 Maọbụ, ụlọ nke mbụ dị n’ala ‡ **6:20** 6:20 Ọpụ 37:25-28; 1Ez 7:48-50 § **6:20** 6:20 Ogologo ime ime n’ụlọnsọ ukwu a, bụ ọtụtụ abụọ, ma a tụnyere ya na Ebe Kachasị Nsọ nke ụlọ nzute ahụ. Ọpụ 26

nke nku cherub ọbụla na-emetụ otu akụkụ ahụ ụlọ ahụ, ebe ọnụ ọnụ nke nku cherub
ọbụla na-emetụ na nke ibe ya n’etiti ọnụụlọ ahụ. 28 O jiri ọlaedo machie cherubim
ndị ahụ.
29 N’ahụ aja ụlọnsọ ukwu ahụ gbaa gburugburu, ma n’ime ọnụụlọ nke dị n’ime na
ndị dị na mpụta, ka ọ pịkwasịrị oyiyi cherubim, osisi nkwụ na okoko osisi wara awa.
30 O jikwa ọlaedo machie ala ụlọ nke ọnụụlọ niile dị n’ime ụlọ, na ọnụụlọ ndị dị na
mpụta ụlọnsọ ukwu ahụ.
31 O ji osisi oliv mee ibo ọnụ ụzọ mbata nke ime ime ebe nsọ ahụ, osisi ndị a bụ otu
ụzọ n’ụzọ ise nke obosara ebe nsọ ahụ. 32 N’ahụ ibo abụọ ahụ nke si n’osisi oliv, ọ
tụnyere oyiyi cherubim abụọ, igu nkwụ na okoko osisi wara awa. O ji ọlaedo etipịara
etipịa machie oyiyi cherubim na igu nkwụ ndị ahụ. 33 Otu a kwa, o ji osisi oliv mee
mbudo ibo ọnụ ụzọ e si abata n’ụlọ ezumezu ahụ, nke bụ otu ụzọ na nkewa anọ
nke obosara ụlọ ezumezu ahụ. 34 O jikwa osisi junipa mee ibo abụọ a na-emechikọta
n’otu. 35 Ọ pịrị oyiyi cherubim na oyiyi nkwụ, na oyiyi okoko osisi wara awa, jiri
ọlaedo techie ibo ndị ahụ na oyiyi a pịkwasịrị ha.
36 O wuru ogige n’ime ụlọnsọ ukwu ahụ. Ọ bụ ahịrị nkume atọ e doziri edozi na
otu ahịrị osisi sida a kwachara nke ọma ka e ji wuo ogige a.
37 Ọ bụ n’ọnwa Ziv, n’afọ nke anọ, nke ịbụ eze Solomọn ka a tọrọ ntọala ụlọnsọ
ukwu Onyenwe anyị. 38 Ọ bụ n’ime afọ iri na otu, n’ọnwa Bul,* ya bụ ọnwa nke
asatọ, ka e wusiri ụlọnsọ ukwu ahụ, n’ihe niile ya dịka ntụziaka e nyere si dị. Ọ bụ
afọ asaa ka o weere ya i ji rụchaa ụlọnsọ ukwu ahụ.

# 7

*Solomọn ewuo ụlọeze ya*

1 Solomọn ji afọ iri na atọ wuo ụlọ nke ya, bịa ruchakwaa ụlọ ya niile. 2 O wuru
ụlọeze ukwu aha ya bụ Oke Ọhịa Lebanọn,* nke ogologo ya dị iri mita ise, obosara
ya dị iri mita abụọ na ise. Otu a kwa, ịdị elu ya dị mita iri na ise. Osisi sida ukwu
e ji rụọ elu ya ka e mere ka ha nọkwasị n’elu ogidi e doro n’ahịrị n’ahịrị. Ahịrị
ogidi ndị a dịkwa anọ. 3 Ọ bụkwa osisi sida ka e ji machie elu ụlọ ahụ. A kụkwasịrị
osisi ndị a n’elu osisi sida ukwu ndị a a wara awa, ndị e mere ka ha nọkwasị n’ogidi
ndị ahụ. Ọnụọgụgụ osisi ndị ahụ bụ iri anọ na ise. Ọ bụkwa iri na ise ka e nwere
n’ahịrị ọbụla. 4 Oghereikuku ya dịkwa n’ụzọ ahịrị atọ, otu n’elu ibe ya. E mere ka
oghereikuku ndị dị n’elu n’otu akụkụ chee oghereikuku ndị dị n’akụkụ nke ọzọ ihu.
5 Ọnụ ụzọ niile nwere mbudo ọnụ ụzọ anọ. Ha dị atọ atọ cherịtara ibe ha ihu n’ebe
mpụta ya.
6 O wuru ọnụ ụzọ mbata nke ogidi, nke ruru iri mita na anọ n’obosara, rukwaa iri
mita anọ na ise n’ịdị ogologo. N’ihu ya, e nwere mpụta ọnụ ụlọ, n’ihu ya, e nwekwara
ogidi na elu ebe kpuchiri ekpuchi.
7 E nwekwara ọnụ ụlọ ọzọ a na-akpọ, Ụlọ Ocheeze, maọbụ Ụlọ Ikpe ziri ezi ebe
Solomọn na-anọ ekpe ikpe. E ji osisi sida machie ahụ ya niile, site n’ala ruo n’elu.
8 Ụlọ obibi Solomọn dịkwa n’ogige dị n’azụ ụlọ ikpe a. E wukwara ya dịka e si wuo
ụlọ ndị ọzọ. Solomọn wukwaara nwunye ya ụlọ yiri nke ya. Nwanyị a bụ nwa Fero,
eze ndị Ijipt, nke Solomọn na-alụ.
9 E ji nkume dị mma ma dịkwa oke ọnụahịa nke a wara awa na nke a kwadoro nke
ọma n’ime na n’ezi dịka ọtụtụ si dị, wuo ụlọ ndị a. Site na ezi ruo n’ogige ukwu ahụ
ma sitekwa na ntọala ruo n’elu ya. 10 Nkume e ji tọọ ntọala ụlọ ndị a bụ nkume buru
ibu, ndị dị ezi mma. Ụfọdụ n’ime nkume ndị a ruru mita anọ na ọkara n’ogologo,

* **6:38** 6:38 Ọnwa Bul, bụ ọnwa nke asatọ, n’ọnụọgụgụ afọ ndị Juu, ma bụrụ ọnwa iri n’afọ n’ọnụọgụgụ ugbu a. * **7:2** 7:2 Aha a, bụ n’ihi ogidi osisi sida eji wuo ụlọeze, nke e si Lebanọn buta, bụ ndị edoro n’ahịrị n’ahịrị dịka osisi dị n’ime ọhịa.

ndị ọzọ dị mita atọ na ụma isii. 11 N’elu nkume ndị a ka e doro nkume ndị ọzọ, ndị
dị ezi mma, a waziri awazi dịka ọtụtụ si dị. Emesịa, e dokwara osisi sida n’elu ha.
12 Ogige ukwu ahụ bụ nke eji ahịrị nkume atọ a wara awa dịkwasịrị n’elu ibe ya
gbaa gburugburu, otu ahịrị bụ nke sida a wara awa dịka ọ dị n’ime ime ogige ụlọnsọ
ukwu ONYENWE ANYỊ ahụ, ya na mpụta ọnụ ụlọ ya.

*Ihe ndị e ji chọọ ụlọnsọ ukwu mma*

13 Eze Solomọn zigara ozi na Taịa, ka a kpọta Huram. 14 Nne Huram bụ nwanyị
si n’ebo Naftalị nke di ya nwụrụ anwụ, ma nna ya bụ onye Taịa, onye maara ǹka
dị n’ịkpụ bronz. Huram jupụtara n’amamihe na nghọta n’ihe ọmụma ịrụ ọrụ ọbụla
metụtara bronz. Ọ bịakwutere eze bụ Solomọn, rụọkwa ọrụ niile enyere ya ịrụ.

*Ogidi bronz abụọ*

15 Ọ kpụrụ ogidi bronz abụọ, nke ọtụtụ ya ruru mita asatọ na otu ụma n’ogologo,
na mita ise na ụma anọ gburugburu ya. 16 Ọ kpụkwara ihe ọkpụkpụ bronz, nke isi ya
yiri ọnụ ite mmiri. A dọkwasịrị ha n’elu ogidi ọla abụọ ahụ. Otu n’ime ihe ọkpụkpụ
bronz abụọ ndị a dị ihe ruru mita abụọ na ụma atọ n’ogologo. 17 E nwekwara ihe
e ji chọọ ha mma. Ọ bụ ọla akpara akpa, nke yiri ụdọ a tụrụ atụ ka e ji chọọ ha
mma. Asaa dị n’otu ihe ọkpụkpụ ọla. 18 Ọ kpụrụ ihe yiri mkpụrụ pomegranet, nke
dị n’ahịrị abụọ, nke o ji gbaa ihe ịchọ mma ndị ahụ gburugburu, maka iji ha chọọ
ihe ọkpụkpụ ọla ndị ahụ dị n’elu ogidi ndị ahụ mma. O mere otu ihe a maka ihe
ọkpụkpụ ọla ọbụla. 19 Ihe ọkpụkpụ ọla ndị dị n’elu ogidi dị na mgbe ụlọ ka o mere
ka ha yie okoko osisi lili. Ịdị elu ha ruru otu mita na ụma asatọ. 20 N’elu ihe ọkpụkpụ
ọla dị n’ogidi abụọ ahụ, n’elu elu ha, ebe ahụ yiri ọnụ ite mmiri nke dị n’akụkụ
ihe ọkpụkpụ ọla ahụ, e nwere ihe yiri narị mkpụrụ pomegranet abụọ e doro n’ahịrị
n’ahịrị gburugburu ha. 21 O guzobere ogidi abụọ ndị ahụ na mgbe ọnụ ụzọ ụlọnsọ
ukwu ahụ. Ogidi nke dị na ndịda ka ọ kpọrọ Jakin, ma nke dị n’ugwu ka ọ kpọrọ
Boaz. 22 Ihe ọkpụkpụ ọla dị n’elu ogidi ndị a bụ nke yiri okoko osisi lili. Ọ bụ n’ụzọ
dị otu a ka e si rụzuo ọrụ niile metụtara ogidi ndị ahụ.

*Oke osimiri eji ọla kpụọ*

23 O mekwara Oke osimiri† nke ọla awụrụ awụ, nke dị gburugburu n’ụdịdị. Ọtụtụ
ya bụ mita abụọ na ụma atọ n’ogologo, dịkwa mita ise na ụma atọ, site n’otu ọnụ
ruo n’ọnụ nke ọzọ. Ọ bụ eriri e ji atụ ihe ruru ihe dịka mita iri na anọ ka e ji tụọ ya
gburugburu. 24 N’okpuru ọnụ ya, oyiyi ọba gbara ya gburugburu, iri dị na mita anọ
na ọkara ọbụla. Ọba ndị a dị n’ahịrị abụọ, awụkọtara ha na Oke osimiri ahụ otu
mgbe.

25 E mekwara ka Oke osimiri ahụ guzo n’elu ehi iri na abụọ. Atọ na-eche ihu
n’akụkụ ọwụwa anyanwụ; atọ na-eche ihu n’ọdịda anyanwụ; atọ na-eche ihu
n’akụkụ ndịda, atọ na-eche ihu n’akụkụ ugwu. Oke osimiri ahụ dịkwasịrị ha n’elu,
ebe azụ ha niile dị n’ime n’etiti. 26 Ịdị arọ ya ha ka otu ọtụtụ ntu-aka dimkpa. E
mere ọnụ ya ka ọ dị ka ọnụ iko mmiri, dịkwa ka okoko lili na-awapụta awapụta. Ọ
na-erite puku galọọnụ iri na abụọ.

*Ihe ndọkwasị bronz*

27 O mekwara ihe ndọkwasị bronz iri, nke e nwere ike ịkpụgharị akpụgharị. Mita
abụọ ka ogologo nke otu ihe ndọkwasị ọbụla dị, mita abụọ ka obosara ya dịkwa; ịdị
elu ya dị otu mita na ọkara. 28 Ihe ndọkwasị ahụ nwere ihe e ji jikọta ya dị n’etiti
ya. Otu a ka e si mee ihe ndọkwasị ahụ. 29 N’elu ihe njikọta ahụ ka a wụrụ oyiyi dị
iche iche, dịka ọdụm, na oke ehi, na ndị mmụọ ozi cherubim nwere nku. N’elu, na

† **7:23** 7:23 Ndị nchụaja na-eji mmiri dị n’ime ya na-asa ụkwụ na aka ha, tupu ha a baa n’ụlọ nzute n’ihi ịchụ aja nsure ọkụ nke na-esi isi ụtọ. Ọpụ 30:17-21

n’okpuru ọdụm, na oke ehi ndị ahụ, a wụkwara ahịhịa na okoko osisi dị iche iche.
[30] Otu ihe ndọkwasị ọbụla nwere ụkwụ bronz anọ dị gburugburu, nweekwa okporo
bronz ebe ụkwụ ndị a na-agbagharị. N’akụkụ anọ nke ihe ndọkwasị ndị a, a rụnyere
ebe a na-adọkwasị efere. E ji oyiyi okoko osisi na ahịhịa chọọ ihe ndị a mma. [31] N’ime
ihe ndọkwasị ahụ, e nwere oghere nke nwere ọnụ dị gburugburu nke ịdị omimi ya
bụ sentimita iri anọ na ise. Oghere a dị gburugburu, nwee ebe ndọkwasị n’okpuru
ya nke dị sentimita iri isii na asatọ n’ọtụtụ. Oyiyi ihe apịrị apị dịkwa gburugburu
ọnụ ya. Ihe njikọta ha niile nwere akụkụ anọ nke ha n’otu, ha adịghị gburugburu.
[32] A na-adọkpụgharị ihe ndọkwasị a n’ụkwụ anọ o nwere. A dụnyekọtakwara ụkwụ
anọ ndị a n’ime okporo ọla e mekọtara ya na ihe ndọkwasị ahụ. Ịdị elu nke ụkwụ
ọbụla bụ iri sentimita isii na asatọ. [33] E mekwara ụkwụ ndị a dịka ụkwụ ụgbọala
nke ịnyịnya na-adọkpụ. Ọ bụkwa ọla ka e ji kpụọ akụkụ ihe ndọkwasị ahụ niile, ma
okporo igwe ukwu, ma okporo igwe nta, na ihe niile jikọtara ha.

[34] Ụkwụ ọla nta anọ dịkwa n’okpuru ihe ndọkwasị ahụ, n’akụkụ ọbụla. A
wụkọtakwara ha na ihe ndọkwasị ahụ. [35] E nwere ihe a magidere gburugburu n’elu
ihe ndọkwasị ọbụla, nke omimi ya dị iri sentimita abụọ na ụma atọ. Ọla a, na ụkwụ
ya, ka a wụkọtara na ihe ndọkwasị ahụ otu mgbe. [36] Ebe ọbụla ohere dị, o gbunyere
oyiyi cherubim nwere nku, na oyiyi ọdụm, na oyiyi osisi nkwụ, n’ahụ ibo ọla ahụ e
mere ka ọ dịrị gburugburu elu ihe ndọkwasị ọla ahụ. [37] Ihe ndọkwasị ọla iri ndị ahụ
ha otu. Ha yikwara ibe ha, n’ihi na e mere ka ha nwee otu ụdị.

[38] Huram jikwa bronz kpụọ efere ịsa ihe iri. Ogbu efere ọbụla dị mita abụọ na
otu ụma, otu efere maka ihe ndọkwasị ọbụla. Mmiri na-eju otu n’ime ha bụ narị
galọọnụ mmiri abụọ na iri anọ.‡ [39] Ọ dọnyere ihe ndọkwasị ọla ise n’akụkụ ndịda
ụlọnsọ ukwu ahụ, dọnyekwa ihe ndọkwasị ọla ise nke ọzọ n’akụkụ ugwu. Ọ dọbara
ihe ichenye mmiri ukwu ahụ n’akụkụ ndịda, n’ihu ọwụwa anyanwụ nke ụlọnsọ ahụ,
n’ebe chere ihu na ndịda. [40] Ọ kpụkwara ite dị iche iche, shọvel niile, na efere ịkwọsa
mmiri niile.

N’ikpeazụ, ọ rụchara ọrụ niile dị n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, nke eze Solomọn tinyere
ya n’aka ịrụ.

[41] Ogidi abụọ ahụ;
ihe ọkpụkpụ abụọ dịka efere dị n’elu ogidi abụọ ahụ;
ihe ọkpụkpụ yiri ụdọ a tụrụ atụ nke e ji chọọ ihe ọkpụkpụ abụọ ahụ dịka efere mma.
[42] Narị anọ nke mkpụrụ pomegranet a kpụrụ akpụ maka ahịrị ihe abụọ ahụ a kpụrụ akpụ, ya bụ, ahịrị pomegranet abụọ n’ihi otu ihe ọkpụkpụ, iji chọọ ihe ọkpụkpụ ahụ yiri efere dị n’isi elu ogidi ahụ mma.
[43] Ihe ndọkwasị iri na efere ịsa mmiri iri nke dọkwasịrị n’elu ha;
[44] na Oke osimiri ahụ na oke ehi iri na abụọ ahụ dị ya n’okpuru;
[45] ite niile, shọvel niile na efere ịkwọsa mmiri.

Ihe ndị a niile nke Huram meere eze Solomọn n’ihi ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, bụ bronz
na-egbu maramara ka eji mee ha. [46] Ọ bụ n’ala ụrọ, n’obosara ala Jọdan, n’etiti Sukọt
na Zaretan ka eze mere ka a nọrọ kpụọ ihe ndị a. [47] Ma Solomọn atụghị ihe ndị a
niile a kpụrụ n’ihe ọtụtụ, n’ihi na ha dị ọtụtụ n’ọnụọgụgụ, achọpụtaghịkwa ịdị arọ
nke bronz ahụ.

[48] Solomọn mekwara ngwongwo niile dị n’ime ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, ya bụ:

ebe ịchụ aja e ji ọlaedo kpụọ,
tebul ọlaedo nke a dọkwasịrị achịcha nke iche n’Ihu Onyenwe anyị.

‡ **7:38** 7:38 Maọbụ, ihe ruru narị lita asatọ na iri asatọ

49 E jikwa ọlaedo a nụchara anụcha kpụọ ihe ịdọkwasị oriọna, ise n'akụkụ aka
nri, ise n'akụkụ aka ekpe,§ n'ihu ime ime ebe nsọ;
tinyere ihe ịchọ mma oyiyi okoko osisi, na oriọna niile, na ihe ịgụta ihe niile;
50 na efere ọlaedo a nụchara anụcha dị iche iche, na ihe ịkpakepụ ọkụ niile, na
efere ịkwọsa mmiri, na ngaji na ihe ịgụ ọkụ;
na ihe ikonye ibo n'ihi ibo ọnụụlọ ndị dị n'ime ime, bụ Ebe Kachasị Nsọ, nakwa
ibo ndị dị n'ọnụ ụzọ ụlọ ezumezu nke ụlọnsọ ukwu.

51 Mgbe a rụzuru ọrụ niile nke eze Solomọn nwere ịrụ maka ụlọnsọ ukwu ONYENWE
ANYỊ ahụ, o webatara ihe niile Devid bụ nna ya doro nsọ n'ime ya, ya bụ ọlaọcha,
ọlaedo na ngwongwo ndị ọzọ niile. O tinyere ha n'ụlọakụ dị n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ.

# 8

### *Mbubata igbe ọgbụgba ndụ n'ime Ụlọnsọ Ukwu*

1 Mgbe ahụ, eze Solomọn kpọkọtara ndị okenye Izrel, na ndịisi ebo niile, na ndịisi
ezinaụlọ Izrel niile, ka ha bịakwute eze na Jerusalem, maka i site na Zayọn bụ obodo
Devid bugota igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ. 2 Ndị Izrel niile gbakọtara bịakwute
eze Solomọn n'oge a na-eme mmemme n'ọnwa Etanim* nke bụ ọnwa asaa n'afọ.
3 Mgbe ndị okenye Izrel niile bịarutere, ndị nchụaja buliri igbe ọgbụgba ndụ ahụ.
4 Ha bugotara igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ, ya na ụlọ nzute, na ngwongwo niile
dị nsọ dị n'ime ya. Ndị nchụaja na ndị Livayị buliri ha elu. 5 Eze Solomọn na ọgbakọ
Izrel niile, bụ ndị zukọtara n'ebe ọ nọ, nọ n'ihu igbe ọgbụgba ndụ ahụ, na-achụ aja
ọtụtụ atụrụ na ọtụtụ ehi nke a na-apụghị ịgụta ọnụ maọbụ gbakọta ọnụọgụgụ ha
n'ihi ịba ụba.
6 Ndị nchụaja bubatara igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ ahụ n'ime ime ụlọnsọ
ukwu ahụ, n'ime Ebe Kachasị Nsọ, dọba ya n'okpuru nku cherubim ahụ. 7 Cherubim
ndị ahụ gbasara nku ha n'elu igbe ọgbụgba ndụ ahụ, zochie igbe ọgbụgba ndụ ahụ
na okporo osisi ndị e ji ebu ya. 8 Okporo osisi ndị a dị oke ogologo, na e nwere ike
ị site n'Ebe Nsọ, dị n'ihu ime ime ebe nsọ ahụ hụ isi ha anya, ma onye na-anọghị
n'Ebe Nsọ ahụ adịghị ahụ ha. Ha ka dịkwa n'ebe ahụ ruo taa. 9 O nweghị ihe dị
n'ime igbe ọgbụgba ndụ ahụ, karịakwa mbadamba nkume abụọ ahụ Mosis tinyere
n'ime ya n'ugwu Horeb, n'ebe ONYENWE ANYỊ na ụmụ Izrel gbara ndụ, mgbe ha si
n'ala Ijipt pụta.
10 Mgbe ndị nchụaja si n'Ebe Nsọ ahụ pụta, igwe ojii jupụtara ụlọnsọ ukwu
ONYENWE ANYỊ ahụ. 11 Ndị nchụaja enwekwaghị ike jee ozi ha, n'ihi igwe ojii ahụ,
n'ihi na ebube ONYENWE ANYỊ jupụtara n'ime ụlọnsọ ya.
12 Mgbe ahụ, Solomọn sịrị, "ONYENWE ANYỊ ekwuola na ọ ga-ebi n'oke igwe ojii.
13 Ma n'ezie, ewuola m ụlọnsọ pụrụ iche, maa mma nye gị, ebe ị ga-ebi ruo mgbe
ebighị ebi."
14 Dịka ọgbakọ Izrel niile na-eguzo n'ebe ahụ, eze chighariri onwe ya chee ha ihu,
gọzie ha. 15 Mgbe ahụ, ọ sịrị,
"Otuto dịrị ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke Izrel, onye ji aka ya mezuo nkwa nke o
sitere n'ọnụ ya kwee nna m Devid. N'ihi na o kwuru sị, 16 'Site n'ụbọchị ahụ m si
n'ala Ijipt kpọpụta ndị m, ahọpụtaghị m obodo ọbụla n'ebo ọbụla nke Izrel, ka e
wuru m ụlọnsọ ka Aha m dịrị n'ebe ahụ. Ma a họrọla m Devid ị bụ onye ga-achị
ndị m Izrel.'

§ **7:49** 7:49 N'ụlọ nzute, ọ bụ naanị otu ihe ịdọba oriọna nwere iheọkụ asaa ka e nwere. Ma Solomọn kpụrụ nke nwere iheọkụ iri were dochie nke ochie ahụ. Ọpụ 25:31-40; 26:35 * **8:2** 8:2 Ọnwa Etanim, bụ ihe dị ka ọnwa itoolu, ma ọ bụkwanụ ọnwa iri ndị Juu.

17 “Nna m, Devid bu n’obi iwu ụlọnsọ ukwu nye Aha ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke
nke Izrel. 18 Ma ONYENWE ANYỊ sịrị nna m, Devid, ‘I mere nke ọma ibu n’obi iwu
ụlọnsọ ukwu nye Aha m. 19 Ma otu ọ dị, ọ bụghị gị ga-ewu ụlọnsọ ukwu ahụ, kama
ọ bụ nwa gị nwoke, anụ ahụ gị na ọbara gị; ọ bụ ya ga-ewu ụlọnsọ ukwu nye Aha
m.’
20 “Ugbu a, ONYENWE ANYỊ emezuola nkwa ahụ o kwere. A nọchiela m nna m
Devid, ugbu a, ana m anọdụ n’ocheeze nke Izrel dịka ONYENWE ANYỊ kwere na
nkwa. Ewuokwala m ụlọnsọ ukwu nye Aha ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nke Izrel.
21 Edoziekwala m ọnọdụ ebe igbe ọgbụgba ndụ ahụ ga-adị, n’ime ya ka ọgbụgba
ndụ ONYENWE ANYỊ dị, bụ nke ya na nna nna anyị ha gbara, mgbe o mere ka ha si
n’ala Ijipt pụta.”

*Ekpere Solomọn*

22 Mgbe ahụ, Solomọn guzoro n’ihu ebe ịchụ aja ONYENWE ANYỊ, na n’ihu ọgbakọ
ụmụ Izrel niile, gbasapụ aka ya abụọ chilie ha elu, 23 kwuo sị,
“ONYENWE ANYỊ, Chineke nke Izrel, ọ dịghị Chineke dịka gị n’eluigwe nke dị n’elu,
maọbụ n’ụwa, n’okpuru eluigwe. Gị onye na-edebe ọgbụgba ndụ ịhụnanya gị na
ndị ohu gị, bụ ndị ji obi ha niile na-eso ụzọ gị. 24 I mezuokwala nkwa niile i kwere
nna m Devid, bụ ohu gị. I ji ọnụ gị kwee nkwa a ma taa, i jirila aka gị mezuo ya.
25 “Ugbu a, O! ONYENWE ANYỊ, Chineke nke Izrel, mezukwaa nkwa niile i kwere
Devid nna m, mgbe ị sịrị, ‘Ọ bụrụ na ụmụ ụmụ gị elezie anya bie ndụ n’ụzọ kwesiri
ntụkwasị obi n’ihu m, n’ihe niile ha na-eme, dịka gị onwe gị mere, agaghị achọ onye
ga-anọ n’ihu m n’ocheeze Izrel n’ime ha.’ 26 Ma ugbu a, Chineke nke Izrel, ka okwu
gị, bụ nkwa nke i kwere ohu gị, bụ nna m Devid, bịa na mmezu.
27 “Ma ọ bụ ezie na gị Chineke ga-ebi n’elu ụwa? Lee, eluigwe ọbụladị ebe kachasị
elu nke eluigwe, ezughị ịba gị. Olee otu ụlọ a nke m wuru ga-esi bata gị? 28 Ma
ONYENWE ANYỊ Chineke m, ṅaa ntị n’ekpere ohu gị, na arịrịọ ọ na-arịọ maka ebere.
Nụrụ akwa na ekpere nke ohu gị na-ekpe n’ihu gị taa. 29 Biko, mee ka anya gị abụọ
ghere oghe n’ebe ụlọnsọ ukwu a dị, abalị na ehihie, bụ ebe a i kwuru banyere ya,
sị, ‘Aha m ga-adị n’ebe ahụ,’ ka i si otu a nụrụ ekpere nke ohu gị ga-ekpe banyere
ebe a. 30 Nụrụkwa arịrịọ ohu gị na nke ndị gị Izrel niile, mgbe ọbụla ha chere ihu
ha n’ebe a n’ekpere. Biko, site n’eluigwe bụ ebe obibi gị nụrụ, mgbe ị nụrụ biko,
gbagharakwa.
31 “Mgbe onye ọbụla mehiere mmadụ ibe ya, a kpọọ ya oku ka ọ bịa ṅụọ iyi, onye
dị otu a bịa, guzo n’ebe a, n’ihu ebe ịchụ aja gị a, ṅụọ iyi ahụ. 32 Mgbe ahụ, nụrụ
olu ya n’eluigwe ma mee ihe ziri ezi. Kpeekwa ikpe n’etiti ndị ohu gị, maa onye
mejọrọ ikpe site n’ịtụkwasị n’isi ha ihe o metara, meekwa ka onye aka ya dị ọcha
nwere onwe ya, site n’imeso ha dịka ezi omume ha si dị.
33 “Mgbe ndị iro meriri ndị gị Izrel, n’ihi na ha mehiere megide gị, ọ bụrụ na ha
alọghachikwute gị, too aha gị, na-ekpe ekpere, na-arịọ gị arịrịọ n’ụlọnsọ ukwu a,
34 biko, site n’eluigwe nụrụ ekpere ha, gbaghara mmehie ndị gị Izrel. Meekwa ka
ha lọghachita n’ala ahụ nke i nyere nna nna ha.
35 “Mgbe e gbochiri eluigwe, mee na mmiri adịghị ezokwa, n’ihi na ndị gị
emehiela megide gị, ọ bụrụ na ha echee ihu n’ebe a kpee ekpere, too aha gị, si
na mmehie ha chegharịa, n’ihi na ịtaala ha ahụhụ. 36 Biko, site n’eluigwe nụrụ ma
gbagharakwa mmehie ndị ohu gị, bụ ndị gị Izrel. Kuziere ha ezi ụzọ ha ga-esi bie
ndụ ma zidata mmiri ozuzo n’ala ahụ nke i nyere ndị gị ka ọ bụrụ ihe nketa ha.
37 “Mgbe ụnwụ maọbụ ajọ ọrịa na-efe efe ga-adakwasị ala a, maọbụ ọrịa na-eripịa
ihe ubi maọbụ ọmụma ebu, maọbụ igurube maọbụ ụkpana, maọbụ mgbe onye iro
nọchibidoro ha n’obodo ha niile, ihe mbibi niile maọbụ ọrịa ọbụla, 38 ekpere ọbụla
maọbụ arịrịọ nke onye ọbụla n’etiti ndị gị Izrel kpere ma rịọọ, n’ihi ịghọta ihe otiti

niile nke obi ha, ha gbasapụ aka ha, ma chee ihu ha n'ebe ụlọnsọ ukwu dị, 39 mgbe
ahụ, site n'eluigwe bụ ebe obibi gị nụrụ arịrịọ ha. Gbaghara ma meekwa; mesoo
onye ọbụla dịka ihe niile ha na-eme si dị, ebe ọ bụ na ị maara obi ha niile, n'ihi
na naanị gị maara obi mmadụ ọbụla, 40 ka ha tụọ egwu gị oge niile nke ha na-ebi
n'ala ahụ nke i nyere nna nna anyị ha.

41 "Ma banyere onye mba ọzọ, onye na-esonyeghị na ndị gị Izrel, kama o si n'ala
ebe dị anya bịa n'ihi Aha gị, 42 n'ihi na ha ga-anụ ihe banyere aha ukwu gị, n'aka
gị dị ike na ogwe aka gị e setipụrụ esetipụ. Mgbe ha bịara kpee ekpere n'ụlọnsọ a,
43 mgbe ahụ, site n'eluigwe ebe obibi gị nụrụ arịrịọ ha. Mekwaa ihe niile nke onye
mba ọzọ ahụ na-arịọ n'ekpere, ka ndị niile nke ụwa mara aha gị, tụọkwa egwu gị,
dịka ndị nke gị bụ Izrel na-eme, ka ha matakwa na-akpọkwasịrị Aha gị n'ụlọ a nke
m wuru.

44 "Mgbe ndị gị ga-aga ibu agha megide ndị iro ha, n'ebe ọbụla ị na-eziga ha, mgbe
ha chere ihu ha n'ụzọ obodo a nke ị họpụtara na n'ụlọnsọ ukwu a m wuru nye
Aha gị, kpee ekpere nye Onyenwe anyị, 45 mgbe ahụ, site n'eluigwe nụrụ ekpere
na arịrịọ amara ha, mezukwa ihe ha na-arịọ (dịnyekwara ha).

46 "Mgbe ha mehiere megide gị, n'ihi na ọ dịghị mmadụ ọbụla na-adịghị emehie,
ị wee iwe megide ha, rara ha nyefee n'aka ndị iro ha, ndị dọkpụrụ ha n'agha gaa
n'obodo ọzọ, maọbụ obodo dị anya maọbụ nke dị nso; 47 ọ bụrụ na ha anọrọ n'ala
ahụ a dọkpụrụ ha gaa, chegharịa n'obi ha, nọrọ n'ala ebe ahụ eji ha rịọọ gị, sị,
'Anyị emehiela, anyị emeela ihe n'adịghị mma, anyị emekwala ajọ omume'; 48 ọ
bụrụ na ha ejiri obi ha na mmụọ ha niile chegharịa, n'ala ebe ndị iro ha, bụ ndị
dọọrọ ha n'agha, ma kpee ekpere nye gị chee ihu ha n'ụzọ ala a nke i nyere nna
nna ha, n'obodo a nke ị họpụtara, ya na n'ụlọnsọ ukwu a m wuru nye Aha gị;
49 mgbe ahụ, site n'eluigwe, ebe obibi gị, nụrụ ekpere ha na arịrịọ ha, nyekwara
ha aka. 50 Gbaghara ndị gị, bụ ndị mehiere megide gị, gbaghara njehie niile ha
mere megide gị, ma meekwa ka ndị dọtara ha n'agha gosi ha obi ebere. 51 N'ihi na
ha bụ ndị gị na oke gị, ndị i mere ka ha si n'ala Ijipt pụta, ala oke ịta ahụhụ nke
nhụju anya.

52 "Ka anya gị ghere oghe n'arịrịọ mụ bụ ohu gị, nakwa n'arịrịọ ndị gị Izrel, biko,
na-egekwa ha ntị mgbe ọbụla ha bekuru gị akwa. 53 N'ihi na gị onwe gị kewapụtara
ha site na mba niile nke ụwa ka ha bụụrụ gị ihe nketa, dịka ị kwupụtara site n'ọnụ
ohu gị bụ Mosis, mgbe gị bụ Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị mere ka
nna nna anyị ha si n'ala Ijipt pụta."

54 Mgbe Solomọn kpechara ekpere ndị a ya na arịrịọ ọ rịọrọ Onyenwe anyị o si
n'ihu ebe ịchụ aja Onyenwe anyị, bụ ebe o gburu ikpere n'ala, bilie, gbasapụ aka ya
abụọ chilie ha elu. 55 O guzoro gọzie ọgbakọ Izrel niile, gwa ha okwu n'oke olu sị ha,

56 "Onye a gọziri agọzi ka Onyenwe anyị bụ, onye nyere ndị ya, Izrel izuike dịka
o kwere na nkwa. Ọ dịkwaghị okwu ọbụla nke na-emezughị n'ime ezi nkwa ahụ
niile o kwere site n'ọnụ Mosis ohu ya. 57 Ka Onyenwe anyị Chineke anyị dịnyere
anyị, dịka o si dịnyere nna nna anyị ha. Ka ọ gharakwa ịhapụ anyị, maọbụ gbakụta
anyị azụ. 58 Ya nyekwa anyị mmụọ ime ihe niile ọ chọrọ, dịka uche nsọ ya si dị,
na mmụọ ijezi ije n'ụzọ ya niile, na idebe ụkpụrụ na iwu niile nke o nyere nna
nna anyị ha. 59 Ka okwu m ndị a niile, nke m ji rịọ amara n'ihu Onyenwe anyị
dịkwa Onyenwe anyị Chineke anyị nso ehihie na abalị. Ka o nyekwara ohu ya na
ndị Izrel niile aka, dịka mkpa ụbọchị ọbụla si dị. 60 Ka ndị niile bi n'ụwa mara na
Onyenwe anyị bụ Chineke, marakwa na o nweghị chi ọzọ dị karịa ya. 61 Ya mere,
werenụ obi unu nyechasịa Onyenwe anyị bụ Chineke anyị, kpamkpam, na-ebinụ
ndụ n'ụkpụrụ ya, rubenụ isi n'iwu ya, dịka ọ dị taa."

### *Ido Ụlọnsọ Ukwu ahụ Nsọ*

62 Mgbe ahụ, eze ya na ndị Izrel niile chụrụ aja dị iche iche n'ihu ONYENWE ANYỊ.
63 Solomọn chụrụ aja udo, bụ nke ọ chụrụ nye ONYENWE ANYỊ. Ehi dị puku iri abụọ
na abụọ, na ewu na atụrụ dị narị puku na iri puku abụọ. Ya mere, eze na ndị Izrel
niile si otu a doo ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ nsọ.
64 N'otu ụbọchị ahụ kwa, eze doro etiti ogige dị n'ihu ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ ahụ
nsọ. N'ebe ahụ ka ọ nọ chụọ aja nsure ọkụ, aja onyinye mkpụrụ ọka na aja abụba
udo. O mere nke a n'ihi na ebe ịchụ aja bronz nke na-eguzo n'ihu Chineke dị oke nta
ịbata aja nsure ọkụ niile, aja mkpụrụ ọka niile nakwa aja abụba udo niile ahụ.
65 Ya mere, Solomọn ya na ndị Izrel niile mere mmemme a n'oge ahụ, ọ bụ nzukọ
dị ukwuu. Ndị mmadụ bịara sitere na Lebo Hamat ruo na mmiri iyi Ijipt. Ha mere
mmemme a n'ihu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, ụbọchị asaa tinyere ụbọchị asaa
ọzọkwa, ya bụ agụkọta ha ụbọchị iri na anọ. 66 N'ụbọchị nke na-eso ya, o zilagara
ndị ahụ niile. Ha gọziri eze, laakwa n'ụlọ ha, n'ịṅụrị ọṅụ na obi ụtọ n'ihi ihe ọma
niile nke ONYENWE ANYỊ meere ohu ya Devid, na ndị ya Izrel.

# 9

### *ONYENWE ANYỊ emee ka Solomọn hụ ya anya*

1 Mgbe Solomọn rụchara ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, na ụlọeze, rụzukwaa ihe
niile bụ nke o bu n'obi ime, 2 ONYENWE ANYỊ mere ka ọ hụ ya anya nke ugboro abụọ
dịka o mere ka ọ hụ ya anya na Gibịọn.* 3 ONYENWE ANYỊ sịrị ya,

"Anụla m ekpere gị, na arịrịọ gị, nke ị rịọrọ n'ihu m. Edoola m ụlọnsọ a nke i
wuru nsọ, site n'itinye Aha m n'ebe ahụ ruo mgbe ebighị ebi. Anya m na obi m
abụọ ga-adịkwa n'ebe ahụ ụbọchị niile.
4 "Ma gị onwe gị, ọ bụrụ na ị jiri obi zuruoke na omume ziri ezi, bie ndụ n'ikwesị
ntụkwasị obi n'ihu m dịka Devid nna gị mere, na-eme ihe niile m nyere n'iwu, debe
ụkpụrụ m na iwu m niile, 5 mgbe ahụ, aga m eme ka ocheeze ọchịchị gị n'Izrel
guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi, dịka m kwere nna gị Devid nkwa, mgbe m sịrị, 'Ị
ghaghị inwe onye nnọchite anya n'ocheeze Izrel.'
6 "Ma ọ bụrụ na unu, maọbụ ụmụ ụmụ unu alaghachi azụ, site n'ebe m nọ, jụ
idebe iwu na ụkpụrụ niile bụ nke m nyere unu, pụọ gbasoro chi ndị ọzọ ife ha ofufe
na ịkpọ isiala nye ha, 7 mgbe ahụ, aga m esite n'ala ahụ nke m nyere ha wezuga
Izrel. Aga m ajụkwa ụlọnsọ a m doro nsọ nye Aha m. Izrel ga-aghọ ihe eji atụ ilu
na ihe ịkpa ọchị n'etiti ndị niile. 8 Ọ bụ ezie na ụlọnsọ ukwu a kachasị elu ugbu
a, ma ọnọdụ ya ga-eju ndị niile ga-esi n'akụkụ ya gafee anya. Ha ga-emi ọnụ, sị,
'Gịnị mere ONYENWE ANYỊ ji mee ala a na ụlọnsọ a, ihe dị otu a?' 9 Ndị mmadụ
ga-aza, 'N'ihi na ha gbakụtara ONYENWE ANYỊ Chineke ha azụ, onye kpọpụtara ha
site n'ala Ijipt azụ, makụọ chi ndị ọzọ, na-akpọ isiala na-efekwa ha ofufe. Ọ bụ
n'ihi nke a ka O ji mee ka ihe ọjọọ niile ndị a bịakwasị ha.' "

### *Ọrụ ndị ọzọ Solomọn rụrụ*

10 N'ọgwụgwụ iri afọ abụọ, mgbe Solomọn ji wuo ụlọ abụọ ndị a, ya bụ ụlọnsọ
ONYENWE ANYỊ na ụlọeze. 11 Eze Solomọn nyere Hiram, eze Taịa, iri obodo abụọ dị
na Galili, n'ihi osisi sida, na osisi junipa, na ọlaedo niile Hiram butere ya dịka o si
chọọ ya. 12 Ma mgbe Hiram si Taịa gaa ịhụ obodo ndị a nke Solomọn nyere ya, ha
amasịghị obi ya. 13 Ya mere, ọ jụrụ sị, "Nwanne m nwoke, ụdị obodo dị aṅaa bụ ihe
a i nyere m?" N'ihi ya, ọ kpọrọ ha Kabul,† aha ọ na-aza ruo taa. 14 Hiram zigaara eze
ọlaedo dị puku kilogram anọ na iri asatọ.
15 Nke a bụ akụkọ banyere ndị ọrụ mmanye niile eze bụ Solomọn chịkọtara maka
ịrụ ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, na ụlọeze nke ya, na ebe e wusiri ike nke Milo,

* **9:2** 9:2 1Ez 3:5; 11:9; 2Ih 1:7 † **9:13** 9:13 Ala na-adịghị ihe ọ dị mma iji ya mee.

na mgbidi Jerusalem, Hazọ, Megido nakwa Gaza. 16 Fero eze Ijipt buru agha na mbụ
merie Gaza, kpọọ ya ọkụ, gbukwaa ọtụtụ ndị Kenan bi n’obodo ahụ, were ya nye nwa
ya nwanyị, bụ nwunye Solomọn, ka ọ bụrụ ihe o ji duo ya ụlọ. 17 Solomọn wugharịrị
obodo Gaza, wuokwa ndịda Bet-Horon, 18 Baalat na Tadmọ‡ nke dị n’ọzara n’ime
ala ya. 19 O wukwara ọtụtụ obodo ebe nchịkọba ihe, obodo ebe idebe ụgbọ agha na
ịnyịnya ya niile. O wuru ihe ọbụla gụrụ obi ya agụụ iwu na Jerusalem, Lebanọn na
n’oke ala ahụ niile ọ na-achị.
20 Ndị niile fọdụrụ ndụ n’etiti ndị Amọrait, ndị Het, ndị Periz, ndị Hiv na Jebus (ndị
ahụ abụghị ndị Izrel), 21 ndị ụmụ ụmụ ha niile fọdụrụ n’ala ahụ, ndị ahụ ndị Izrel
na-enweghị ike egbuchapụ, ndị a ka Solomọn mere ndị ọrụ mmanye na ndị ohu, nke
a bụkwa ọnọdụ ha ruo taa. 22 Ma Solomọn emeghị ka onye Izrel ọbụla bụrụ ohu.
Kama ha bụ ndị ikom agha, ndịisi ọrụ n’ọchịchị, ndịisi ndị ọchịagha, ndịisi ụgbọ
agha na ndị na-agba ịnyịnya agha ya. 23 Ndị a bụkwa ndịisi na-ahụ ihe banyere ọrụ
niile nke Solomọn ji n’aka. Ndị Izrel dị narị ise na iri ise (550), ka e mere ndịisi
na-elekọta ndị ọrụ Solomọn.
24 Emesịa, ada Fero sitere n’obodo Devid pụta gbagoo n’ụlọeze nke Solomọn wuuru
ya. Solomọn wukwara ebe mpụta nke ụlọ ahụ.
25 Ugboro atọ n’afọ,§ ka Solomọn na-achụ aja nsure ọkụ, na aja udo n’elu ebe ịchụ
aja o wuru nye ONYENWE ANYỊ, tinyere aja nsure ọkụ ihe na-esi isi ụtọ ọ na-achụ n’ihu
ONYENWE ANYỊ. O si otu a wuchaa ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ.
26 Eze Solomọn wukwara ọtụtụ ụgbọ mmiri n’Eziọn Geba,* bụ nke dị n’akụkụ Elat,
n’ọnụ mmiri Oke osimiri Uhie n’ala Edọm. 27 Hiram zigaara ndị ikom ya na-anya
ụgbọ, ndị maara ihe banyere ime njem osimiri nke ọma, ka ha soro ndị ikom Solomọn
jee ozi n’ime ụgbọ ndị a. 28 Ha nyaara ụgbọ gaa Ọfịa,† site n’ebe ahụ bulatara eze
Solomọn ọlaedo nke ịdị arọ ya ruru puku kilogram iri na anọ na narị abụọ na asatọ.

# 10

*Eze nwanyị Sheba bịara ileta Solomọn*

1 Mgbe eze nwanyị Sheba nụrụ akụkọ Solomọn, na ịdị na mma nke dị n’etiti ya na
ONYENWE ANYỊ, ọ bịara ka o were ọtụtụ ajụjụ siri ike nwalee Solomọn.* 2 Ọ bịarutere
Jerusalem, ya na ọtụtụ ndị ozi n’ebe ha bara ụba, ndị so ya, tinyere ọtụtụ ịnyịnya
kamel ndị bu ụda dị iche iche, ọtụtụ ọlaedo na nkume dị oke ọnụahịa dị iche iche.
Ọ bịakwutere Solomọn, ya na ya kparịtara ụka banyere ihe niile nke dị ya n’obi.
3 Solomọn zara ya ajụjụ ya niile; ọ dịkwaghị ihe siiri eze ike ịkọwara ya. 4 Mgbe eze
nwanyị Sheba hụrụ amamihe niile nke Solomọn, hụkwa ụlọeze o wuru, 5 na ihe oriri
a na-adọkwasị n’elu tebul ya, usoro ọnọdụ nke ndịisi ọchịchị ya, na ndị guzo na-ejere
ya ozi n’uwe ha yi, onye na-ebu iko ihe ọṅụṅụ ya, na aja nsure ọkụ niile ọ na-achụ
n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, ọ dịkwaghị ihe ọzọ ọ maara ọ ga-eme, maọbụ kwuo.
6 Ọ sịrị eze, “Akụkọ niile m nọ n’ala m nụ banyere ihe niile ị rụpụtara na amamihe
gị bụ eziokwu. 7 Ma ekwenyeghị m akụkọ ndị a tutu ruo mgbe m bịara jiri anya
m abụọ hụ ha. N’ezie, ihe m nụrụ erughị ọkara; n’amamihe nakwa n’ịba ụba gị, ị
tụkwasịla ihe n’akụkọ m nụrụ. 8 Lee, ụdị ọṅụ ndị gị na-enwe. Lee, ụdị ọṅụ nke ndị
ozi na-enwe, bụ ndị na-eguzo n’ihu gị mgbe niile na-anụ okwu amamihe gị. 9 Ngọzị

‡ **9:18** 9:18 Maọbụ, Tama n’asụsụ ndị Hibru § **9:25** 9:25 Ọ bụ n’usoro ụzọ mmemme atọ dị mkpa nke ndị Izrel na-eme kwa afọ. Ndị a bụ mmemme achịcha ekoghị eko, mmemme owuwe ihe ubi, na mmemme ibi ụlọ ikwu. Ọpụ 23:14-17; Dit 16:16; 2Ih 8:13 * **9:26** 9:26 Obodo Eziọn Geba dị n’akụkụ Elat n’ala Edọm, baara Solomọn uru n’ebe ọ dị ukwu n’ihi osimiri Uhie na oke osimiri India dị ya nso. Ọnụ 33:35; Dit 2:8; 1Ez 22:48 † **9:28** 9:28 Ọtụtụ mmadụ na-ama atụ ebe a ga-enwe ike chọta obodo Ọfịa taa. Ụfọdụ na-asị, na ọ bụ n’ọnụ mmiri Arebịa ka ọ dị, ndị ọzọ na-asị, ọ bụ na mpaghara akụkụ ọnụ mmiri Sọmalia. Ebe ndị ọzọ na-asị, na ọ dị n’ala India maọbụ n’ala Zimbabwe. * **10:1** 10:1 Maka ịnwapụta amamihe o nwere

diri Ọ ONYENWE ANYỊ Chineke gị, onye nwere mmasị n'ebe ị nọ, o debere gị n'ocheeze
Izrel. N'ihi ịhụnanya nke ONYENWE ANYỊ na-adị ruo mgbe ebighị ebi n'ebe Izrel nọ,
o meele gị eze, ka ị debe ikpe ziri ezi na ezi omume."
10 O nyere Solomọn onyinye ọlaedo ịdị arọ ya dị puku kilogram anọ,† nyekwa ya
ọtụtụ ụda na-esi isi ụtọ dị iche iche, na ọtụtụ nkume dị oke ọnụahịa. O nwebeghị
oge ọzọ ewebatara ọtụtụ ụda na-esi isi ụtọ dịka ndị ahụ eze nwanyị Sheba nyere eze
Solomọn.
11 (Ọzọkwa, ọtụtụ ụgbọ mmiri nke eze Hiram bubatara ọlaedo site n'Ọfịa bulatara
Solomọn. Ha sitekwara n'ebe ahụ bute osisi almụg n'ebe ọ bara ụba, na ọtụtụ nkume
dị oke ọnụahịa dị iche iche. 12 Eze ji osisi almụg ndị a wuo ogidi ndabere dị n'ụlọnsọ
ukwu ONYENWE ANYỊ na nke ụlọeze. O jikwa ya meere ndị na-abụ abụ ụbọ akwara na
une. Ọ dịbeghị mgbe ọbụla ahụrụ maọbụ tụbata osisi almụg ha otu a site n'ụbọchị
ahụ ruo taa.)
13 Eze Solomọn nyekwara eze nwanyị Sheba ihe niile ọ chọrọ na ihe niile bụ nke ọ
rịọrọ, na-agụnyeghị onyinye niile Solomọn nyere ya dịka eze ọ bụ. Emesịa, ọ hapụrụ
laghachi n'ala nke aka ya, ya na ndị na-ejere ya ozi.

### *Ebube ịbụ eze Solomọn*

14 Ọtụtụ ịdị arọ nke ọlaedo Solomọn na-enweta kwa afọ bụ puku kilogram iri abụọ
na atọ,‡ 15 na-agụnyeghị uru nke na-esi n'aka ndị na-atụ mgbereahịa na ndị na-azụ
ahịa na nke sitekwara n'aka ndị eze Arebịa niile, nakwa n'aka ndịisi na-achị obodo
niile nke ala ahụ.
16 Eze Solomọn kpụrụ narị ọta ọlaedo ukwu abụọ site n'ọlaedo etipịara etipịa. Ọ
bụ ọlaedo nke ịdị arọ ya ruru kilogram isii na ụma itoolu ka eji kpụọ ọta ọbụla. 17 Ọ
kpụkwara narị ọta nta atọ, nke sitere na ọlaedo etipịara etipịa. Ọ bụ ọlaedo ịdị arọ
ya ruru kilogram atọ na ọkara ka eji kpụọ ọta ọbụla. Eze debere ha n'ụlọeze n'Oke
Ọhịa Lebanọn.
18 Eze mekwara ocheeze dị ukwu nke e ji ọdụ enyi na ọlaedo a nụchara anụcha
machie. 19 Ocheeze ahụ nwere ihe nrigo isii, o nwere elu dị gburugburu n'azụ ya. E
nwere ebe ntụkwasị aka n'akụkụ abụọ ya, nke nwere oyiyi ọdụm abụọ guzo n'akụkụ
nke ọbụla n'ime ha. 20 Ọdụm iri na abụọ na-eguzo n'elu ihe nrigo isii ahụ, otu
n'akụkụ isi abụọ nke ihe nrigo ọbụla. Ọ dịkwaghị alaeze ọzọ dị nke e mere ihe dị
otu a nye. 21 Ihe niile Solomọn nwere nke e ji aṅụ ihe bụ ọlaedo ka e ji mee ha.
Ngwongwo niile nke dị n'ime ụlọeze n'Oke Ọhịa Lebanọn bụkwa ọlaedo a nụchara
anụcha ka e ji kpụọ ha. Ọ dịghị ihe e ji ọlaọcha kpụọ, n'ihi na-agụnyeghị ọlaọcha
dịka ihe ọbụla n'oge Solomọn. 22 Eze nwere ọtụtụ ụgbọ§ mmiri e ji azụ ahịa n'oke
osimiri, tinyere ụgbọ nke Hiram. Otu ugbo n'afọ atọ, ka ụgbọ mmiri ndị a na-alọta,
buru ọlaedo, ọlaọcha na ọdụ enyi, enwe na adaka dị iche iche bata.
23 Eze Solomọn bara ụba n'akụ, nwekwa amamihe karịa ndị eze niile dị n'ụwa.
24 Ụwa niile na-abịa ịchọ ihu Solomọn ka ha nụta okwu amamihe nke Chineke tinyere
n'obi ya. 25 Onye ọbụla bịakwutere ya na-ebutere ya onyinye ịnata ihuọma, ya bụ
ngwa ọlaọcha na ọlaedo, uwe dị iche iche, ngwa agha, ụda dị iche iche, ịnyịnya na
ịnyịnya muul, nke a bụ kwa afọ, kwa afọ.
26 Solomọn chịkọbara ọtụtụ ụgbọ agha na ịnyịnya dị iche iche. O nwere ụgbọ
agha dị otu puku na narị anọ na ịnyịnya agha dị puku iri na abụọ n'ọnụọgụgụ, ndị
o debere ụfọdụ n'ime ha n'obodo ụgbọ agha ya ma ndị ọzọ dị na Jerusalem ebe
ya onwe ya nọ. 27 Eze mere ka ọlaọcha baa ụba dịka nkume efu na Jerusalem. O
mekwara ka osisi sida dị ọtụtụ dịka osisi sikamọ nke dị n'ala ala ugwu dị iche iche.
28 A na-esite n'Ijipt nakwa ala Kue atụbatara Solomọn ịnyịnya. Ndị ahịa eze na-azụta

† **10:10** 10:10 Talenti dị narị na iri abụọ ‡ **10:14** 10:14 Narị talenti isii na talenti iri isii na isii § **10:22** 10:22 Hibru ga-asị, Ọtụtụ ụgbọ nke Tashish

ha site na Kue n'ọnụ ahịa a na-ere ha n'oge ahụ. 29 Ha sitere n'Ijipt tụbata otu ụgbọ
agha n'ọnụ ahịa narị shekel ọlaọcha isii, jirikwa otu narị shekel na iri shekel ise zụta
otu ịnyịnya. Ha zipụkwara ha nye ndị eze niile nke ndị Het na ndị Aram.

## 11

### *Ọtụtụ ndị inyom Solomọn*

1 Ma eze Solomọn hụrụ ọtụtụ ndị inyom mba ọzọ n'anya, tinyere nwa nwanyị Fero,
ha bụ ndị inyom ndị Moab, ndị Amọn, ndị Edọm, ndị Saịdọn na ndị Het. 2 Ha bụ ndị
sitere na mba ndị ahụ ONYENWE ANYỊ gwara Izrel sị, "Unu na ha agaghị alụrịtakwa di
na nwunye, n'ihi na ha aghaghị ime ka obi unu gbasoo chi niile ha." Ma, n'agbanyeghị
nke a, Solomọn rapara ha n'ahụ n'ihi ịhụnanya. 3 Ọnụọgụgụ ndị inyom Solomọn lụrụ
dị narị asaa, bụ ndị amụrụ n'obi ndị eze. O nwekwara ndị iko nwanyị, ọnụọgụgụ ha
dị narị atọ. Ndị inyom ya duhiere obi ya. 4 Mgbe Solomọn ghọrọ agadi, ndị inyom
ndị a duhiere obi ya mee ka ọ gbasoo chi ndị ọzọ, nke mere na o jikwaghị obi ya niile
gbasoo ONYENWE ANYỊ Chineke ya, dịka Devid bụ nna ya mere. 5 Ọ gbasoro Ashtọret,
bụ chi ndị Saịdọn na Molek,* bụ chi rụrụ arụ nke ndị Amọn. 6 N'ụzọ dị otu a, Solomọn
mere ihe ọjọọ n'anya ONYENWE ANYỊ. O soghị ụzọ ONYENWE ANYỊ dịka nna ya Devid
si mee n'ụbọchị niile nke ndụ ya.

7 N'elu ugwu dị n'ọwụwa anyanwụ Jerusalem,† Solomọn wuru ebe dị elu nye
Kemosh, chi rụrụ arụ nke ndị Moab, wuokwara Molek chi rụrụ arụ nke ndị Amọn.
8 O mekwara otu ihe ahụ nye ndị nwunye ya niile si mba ọzọ, bụ ndị na-achụ aja
nsure ọkụ ihe na-esi isi ụtọ, na-achụkwa aja nsure ọkụ dị iche iche nye chi niile ha.

9 ONYENWE ANYỊ were iwe dị ukwuu megide Solomọn, n'ihi na obi ya esitela n'ebe
ONYENWE ANYỊ Chineke Izrel nọ pụọ, bụ onye mere ka ọ hụ ya anya ugboro abụọ.
10 Ọ bụ ezie na o nyere Solomọn iwu ka ọ ghara ịgbaso chi ndị ọzọ, ma Solomọn
erubeghị isi n'iwu a ONYENWE ANYỊ nyere. 11 Ya mere, ONYENWE ANYỊ gwara Solomọn
okwu sị, "Ebe ọ bụ na i mere ihe dị otu a, jụ idebe ọgbụgba ndụ m na ụkpụrụ m, nke
m nyere gị idebe, aghaghị m isite n'aka gị dọkapụ alaeze a, were ya nye otu n'ime
ndị na-ejere gị ozi. 12 Ma n'ihi nna gị Devid agaghị m eme ihe ndị a mgbe ị dị ndụ.
Aga m anapụ nwa gị nwoke alaeze Izrel. 13 Ma agaghị m anapụcha ya alaeze Izrel
niile, kama aga m eme ka ọ bụrụ eze otu ebo Izrel, n'ihi Devid, na n'ihi Jerusalem,
obodo m họpụtara nye onwe m."

### *Ndị iro Solomọn*

14 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ mere ka onye iro bilie megide Solomọn. Onye a bụ
Hadad onye Edọm, onye sikwa n'ezinaụlọ ndị eze Edọm. 15 N'oge gara aga, mgbe
Devid na-ebuso ndị Edọm agha, Joab, onyeisi ndị agha, onye gara ili ndị agha e gburu
egbu, tigburu ndị ikom niile nọ n'Edọm. 16 Joab na ndị agha Izrel niile nọgidere
n'ebe ahụ ọnwa isii, tutu ruo mgbe ha gbuchapụrụ ndị ikom niile nọ n'Edọm. 17 Ma
Hadad, onye bụ nwantakịrị n'oge ahụ, gbapụrụ ọsọ gbaga Ijipt, ya na ụfọdụ ndịisi
ọchịchị Edọm, ndị jeere nna ya ozi. 18 Ha sitere n'ala Midia gaa Paran. Site na Paran,
ha duuru ụfọdụ ndị mmadụ, ndị sooro ha gaa Ijipt, jekwuru Fero eze Ijipt, onye nyere
Hadad ụlọ obibi na ala, nyekwa ya ihe oriri.

19 Hadad hụtara amara n'ihu Fero, nke mere na ọ kpọnyere ya nwanne nwanyị
Tapenes bụ nwunye eze ka ọ bụrụ nwunye ya. 20 Nwanne Tapenes mụtara ya nwa
nwoke aha ya bụ Genubat, onye Tapenes zụlitere n'ụlọeze. Genubat biri n'etiti ụmụ
Fero.

* **11:5** 11:5 Maọbụ, Milkọm † **11:7** 11:7 Ugwu dị n'ọwụwa anyanwụ Jerusalem Ugwu a, bụ Ugwu Oliv, nke aha ọzọ a na-akpọ ya bụ Ugwu rụrụ arụ, 2Ez 23:13

21 Mgbe Hadad nọ n’Ijipt, ọ nụrụ na Devid sooro ndị nna nna ya ha dina n’ọnwụ na
Joab ọchịagha ndị agha anwụọkwala, ọ rịọrọ Fero arịrịọ ka o kwenye ka ọ laghachi
n’Edọm.
22 Fero jụrụ ya ajụjụ sị ya, “Gịnị mere i ji chọọ ịla? O nwere ihe ị chọrọ nke ị
na-adịghị enweta n’ebe a?”
Hadad zara sị ya, “O nweghị ihe kọrọ m, kama kwere ka m laghachi.”
23 Nwoke ọzọ Chineke mere ka ọ bụrụ onye iro Solomọn bụ Rezon nwa Eliada, onye
gbapụrụ site n’aka nna ya ukwu bụ Hadadeza, eze Zoba. 24 Devid lara ndị agha Zoba
n’iyi, Rezon chịkọtara ndị ikom gbara ya gburugburu, ghọọ onyendu ha, ndị nnupu
isi a gara Damaskọs biri n’ebe ahụ, na-achịkwa n’ebe ahụ. 25 Ogologo ụbọchị niile
nke ndụ Solomọn, Rezon bụ onye iro Izrel, tinyekwara nsogbu nke Hadad wetaara
Izrel. Rezon bụ eze ndị Aram, bụrụkwa onye na-emegide Izrel.

### *Nnupu isi Jeroboam*

26 Jeroboam nwa Nebat, onye Ifrem nke Zereda, otu n’ime ndị ozi Solomọn, biliri
megide eze. Nne ya bụ Zerua, nwanyị di ya nwụrụ anwụ.
27 Nke a bụ akụkọ banyere otu o siri bilie imegide eze: Solomọn wugharịrị Milo,
wuziekwa ntipu dị na mgbidi obodo Devid bụ nna ya. 28 Ugbu a Jeroboam, n’onwe
ya, bụ dimkpa. Mgbe Solomọn hụrụ otu nwokorobịa a si arụzi ọrụ ya nke ọma, o
mere ya onye nlekọta ndị ọrụ niile si n’ezinaụlọ Josef.
29 Ma otu ụbọchị, mgbe Jeroboam si Jerusalem na-apụ, o zutere Ahija onye amụma,
onye Shilo, n’ụzọ, ebe o yi uwe ọhụrụ. Ọ bụkwa naanị ha abụọ nọ n’ọhịa mgbe ahụ.
30 Mgbe ahụ, Ahija yipụrụ uwe ọhụrụ nke o yi n’ahụ dọwasịa ya ụzọ iri na abụọ.
31 Mgbe ahụ, ọ gwara Jeroboam sị, “Chịrị iberibe iri nye onwe gị, n’ihi na otu a ka
ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel sịrị, ‘Lee, aga m anapụ Solomọn alaeze a, ma aga m
enyekwa gị ebo iri n’ime ha. 32 Ma aga m ahapụrụ ya otu ebo, n’ihi ohu m Devid na
n’ihi Jerusalem obodo m họpụtara site n’ebo niile nke Izrel. 33 N’ihi na ha ahapụla
m malite ịkpọ isiala nye Ashtọret, chi nwanyị ndị Saịdọn; na nyekwa Kemosh, chi
ndị Moab; na nye Molek, chi ụmụ Amọn. Ha agbasoghị ụzọ m, ha emekwaghị ihe
ndị ahụ m gụrụ dịka ezi ihe. Ha edebeghị iwu m na ụkpụrụ m niile dịka Devid nna
Solomọn mere.
34 “ ‘Ma agaghị m anapụ alaeze ya ugbu a, n’ihi ohu m Devid, onye m họpụtara, na
onye mere ihe tọrọ m ụtọ. Aga m ahapụ Solomọn ka ọ nọgide dịka eze ụbọchị ndụ
ya niile. 35 Ma aga m anapụ alaeze ya site n’aka nwa ya, nye gị ebo iri. 36 Nwa ya
ka m ga-enye otu ebo, n’ihi na achọrọ m ka Devid ohu m nọgide ịbụ eze Jerusalem,
obodo m họpụtara nye onwe m, ebe m mere ka Aha m dịrị. 37 Ma otu ọ dị, gị ka
m ga-ewere. Ị ga-abụkwa onye ga-achị ebe ahụ niile obi gị chọrọ; i ga-abụ eze Izrel.
38 Ọ bụrụ na i gee ntị mee ihe niile m ga-enye gị n’iwu, jekwa ije n’irubere m isi, mee
ihe ziri ezi n’anya m, site n’idebe ụkpụrụ niile na iwu niile, dịka ohu m Devid mere,
aga m anọnyere gị. Aga m ewuru gị ụlọ ga-adịgide dịka m siri wuoro Devid. Aga m
enyekwa gị Izrel. 39 Aga m eweda agbụrụ Devid n’ihi ihe a, ma ha agaghị abụ ndị e
wedara n’ala ruo ebighị ebi.’ ”
40 Solomọn gbalịrị igbu Jeroboam, ma Jeroboam gbaara ọsọ gbakwuru eze Shishak
nke Ijipt.‡ Ọ nọkwara n’Ijipt ruo mgbe Solomọn nwụrụ.

### *Ọnwụ Solomọn*

41 Ma banyere ihe ndị ọzọ mere n’oge ọchịchị Solomọn, nke bụ, ihe niile o mere
na amamihe o gosipụtara, ọ bụ na-edeghị ha n’akwụkwọ akụkọ nke Solomọn?
42 Solomọn chịrị Izrel niile iri afọ anọ na Jerusalem. 43 O sooro nna nna ya ha dina

‡ **11:40** 11:40 Eze Shishak, bụ Fero mbụ chịrị Ijipt na senchuri nke iri. Mgbe ọchịchị pụrụ site n’aka ezinaụlọ a, ahọpụtara onye ọzọ ga-achị 1Ez 14:25-26; 2Ih 12:2-9

n'ọnwụ, e lie ya n'obodo Devid bụ nna ya. Rehoboam nwa ya, ghọkwara eze n'ọnọdụ
nna ya.

# 12

*Ọchịchị Rehoboam*

1 Rehoboam gara Shekem, n'ihi na Izrel niile zukọrọ ebe ahụ ime ya eze. 2 Mgbe
Jeroboam nwa Nebat nụrụ nke a (ọ ka nọ n'Ijipt ebe ọ gbagara ọsọ ndụ site n'aka
eze Solomọn), o sitere Ijipt lọta. 3 Ya mere, ha ziri ozi kpọọ Jeroboam, ya na ọgbakọ
Izrel niile jekwuru Rehoboam sị ya: 4 "Nna gị boro anyị ibu arọ, ma ugbu a mee ka
ibu arọ na ịyagba arọ a nke o bokwasịrị anyị, dị mfe, anyị ga-ejere gị ozi."
5 Rehoboam zara ha sị, "Laanụ, ụbọchị atọ gasịa unu bịaghachikwutenụ m." N'ihi
ya ndị ahụ lara.
6 Mgbe ahụ, eze Rehoboam gara ịnata ndụmọdụ n'aka ndị okenye, bụ ndị jeere
nna ya Solomọn ozi n'oge ọ dị ndụ, sị ha, "Olee ndụmọdụ unu ga-enye m maka mụ
inye ndị a ọsịsa?"
7 Ha zara ya, "Ọ bụrụ na ị ga-abụ odibo nye ndị a taa, jeere ha ozi, nyekwa ha ọsịsa
dị mma,[*] ha ga-anọgide bụrụ ndị ohu gị mgbe niile."
8 Ma ọ nabataghị ndụmọdụ ndị okenye nyere ya, ọ gakwuru ụmụ okorobịa ndị ya
na ha tokọrọ, bụkwa ndị na-ejere ya ozi, ka ha nye ya ndụmọdụ. 9 Rehoboam jụrụ
ha sị, "Gịnị bụ ndụmọdụ unu? Gịnị bụ ọsịsa anyị ga-enye ndị a na-asị, 'Mee ka ibu
arọ nna gị bokwasịrị anyị dị mfe'?"
10 Ụmụ okorobịa ahụ, bụ ndị ya na ha tokọrọ, zaghachiri sị, "Gwa ndị ahụ sịrị
gị, 'Nna gị bokwasịrị anyị ibu arọ, ma mee ka ibu anyị dị mfe,' ị ga-agwa ha, sị,
'Mkpịsịaka nta dị n'aka m gbara okpotokpo karịa ukwu nna m. 11 Nna m boro unu
ibu arọ; aga m atụkwasị ihe n'ibu ahụ mee ka ọ dị arọ karịa. Nna m ji apịpịa dọọ
unu aka na ntị, maọbụ akpị ka m ga-eji mekpaa unu ahụ.' "
12 Mgbe ụbọchị atọ gasịrị, Jeroboam na ndị Izrel[†] niile bịaghachiri ịnụrụ ọsịsa
Rehoboam, dịka eze kwuru, sị, "Laghachitenụ n'ụbọchị nke atọ." 13 Eze sara ndị a
okwu n'olu dị ike. Ọ jụrụ ndụmọdụ nke ndị okenye nyere ya, 14 ma gbasoro ndụmọdụ
nke ụmụ okorobịa nyere. Ọ sịrị, "Nna m mere ka ibu unu dị arọ, aga m eme ka ibu
unu dị arọ karịa. Nna m ji apịpịa dọọ unu aka na ntị, aga m eji akpị mekpaa unu
ahụ." 15 Ya mere, eze aṅaghị ndị ahụ ntị, n'ihi mgbanwe nke ọnọdụ niile a sitere
n'ebe Onyenwe anyị nọ, ka e mezuo okwu ahụ Onyenwe anyị gwara Jeroboam nwa
Nebat site n'ọnụ Ahija onye Shilo.
16 Mgbe Izrel niile hụrụ na eze jụrụ ige ha ntị, ha zaghachiri ya sị,
"Olee oke anyị nwere n'ime Devid?
Olee ihe nketa anyị nwere n'ime nwa Jesi?
Ndị Izrel, laanụ n'ụlọ ikwu unu!
Gị Devid lekọtakwa ụlọ nke gị."
Ya mere, ndị Izrel lara n'ụlọ ha. 17 Ma banyere ndị Izrel bi n'obodo niile nke Juda,
Rehoboam gara n'ihu bụrụ eze ha.
18 Eze Rehoboam zipụrụ Adoniram, onyeisi na-elekọta ndị ọrụ mmanye, ma ndị
Izrel niile ji nkume tugbuo ya. Ma eze Rehoboam jisiri ike gbaba n'ime ụgbọ agha
ya, gbalaga laa Jerusalem. 19 Ya mere, Izrel nọ na nnupu isi megide ụlọ Devid ruo
taa.
20 Mgbe ndị Izrel nụrụ na Jeroboam alaghachitala, ha ziri ya ozi sị ya pụta n'ihu
ọha mmadụ. N'ebe ahụ ka ha nọ mee ya eze Izrel. Ọ dịghị ebo ọbụla kwenyere iso
ụlọ Devid, karịakwa ebo Juda.

[*] **12:7** 12:7 Ilu 15:1; 2Ih 10:7 [†] **12:12** 12:12 Ndị Izrel a na-ekwu banyere ha n'ebe a, bụ ndị Izrel nke alaeze ugwu ugwu.

21 Mgbe Rehoboam bịarutere Jerusalem, ọ kpọkọtara ndị ụlọ Juda niile na ndị
ebo Benjamin, ha dị narị puku na iri asatọ n’ọnụọgụgụ, ụmụ okorobịa ndị tozuru
ịga agha, ka ha gaa buso ụlọ Izrel agha ma weghachitekwa alaeze n’okpuru ọchịchị
Rehoboam, nwa Solomọn.
22 Ma okwu Chineke rutere Shemaya onye nke Chineke ntị, sị, 23 “Gwa Rehoboam,
nwa Solomọn eze Juda, na ndị Juda niile, na Benjamin na ndị ọzọ niile, sị ha, 24 Otu
a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, ‘Unu agakwala gaa buso ụmụnna unu, bụ ndị Izrel agha.
Laghachinụ, nwoke ọbụla n’ụlọ ya, n’ihi na ọ bụ m na-eme nke a.’ ” Ya mere, ha
rubere isi n’okwu ONYENWE ANYỊ, onye ọbụla n’ime ha laghachikwara n’ụlọ ya dịka
ONYENWE ANYỊ nyere n’iwu.

*Oyiyi ehi ọlaedo dị na Betel na Dan*

25 Mgbe ahụ, Jeroboam wusiri Shekem dị n’ala ugwu Ifrem ike, biri n’ebe ahụ.
N’ebe ahụ ka o si pụọ, gaa wuo obodo Peniel.‡
26 Ma Jeroboam chere n’obi ya, sị “Ugbu a, ka alaeze nwere ike laghachikwa n’aka
ụlọ Devid. 27 N’ihi na ọ bụrụ na ndị mmadụ gaa ịchụ aja n’ụlọnsọ ukwu ONYENWE
ANYỊ nke dị na Jerusalem, obi ha nwere ike laghachikwuru onyenwe ha, bụ Rehoboam
eze Juda. Ha ga-egbu m, laghachikwuru eze Rehoboam.”
28 Mgbe ọ natachara ndụmọdụ, eze kpụrụ ụmụ ehi ọlaedo abụọ. Ọ sịrị ndị mmadụ,
“Ọ bụ oke ọrụ nye unu ịgbago Jerusalem. Leenụ chi unu, ndị Izrel, ndị sitere n’Ijipt
kpọpụta unu.” 29 Otu n’ime ha ka o guzobere na Betel, tinyekwa nke ọzọ na Dan.
30 Ihe a ghọrọ mmehie dịrị ha, n’ihi na ndị mmadụ na-abịa kpọọ isiala nye nke dị na
Betel ma gaakwa ebe dị anya, dịka Dan, n’ihi ife ehi ọlaedo nke dị n’ebe ahụ ofufe.
31 Jeroboam wuru ebe ịchụ aja n’ebe dị elu dị iche iche. Ọ họpụtara ndị nchụaja site
n’etiti ndị Izrel niile,§ n’agbanyeghị na ha abụghị ndị Livayị. 32 O hiwere mmemme
a na-eme n’ụbọchị nke iri na ise n’ọnwa nke asatọ, dịka mmemme a na-eme na Juda.
Ọ chụkwara aja n’ebe ịchụ aja. O mere nke a na Betel, chụọrọ ụmụ ehi ọlaedo ahụ
ọ kpụrụ aja. O tinyere ndị nchụaja n’ọrụ n’ebe niile dị elu nke o mere ka ha dịrị na
Betel. 33 N’ụbọchị nke iri na ise, n’ọnwa asatọ, bụ ọnwa nke ya onwe ya chepụtara, ọ
chụrụ aja dị iche iche n’elu ebe ịchụ aja o wuru na Betel. Ya mere, o hiwere mmemme
a ka ọ dịịrị ndị Izrel niile; ya onwe ya kwa gara chụọ aja onyinye dị iche iche n’elu
ebe ịchụ aja.

# 13

*Onye nke Chineke si Juda*

1 Otu onye nke Chineke si Juda bịa Betel, site n’okwu nke ONYENWE ANYỊ oge
Jeroboam guzo n’ebe ịchụ aja ka ọ chụọ aja. 2 O tiri mkpu n’oke olu megide ebe
ịchụ aja ahụ dịka okwu ONYENWE ANYỊ si dị, “Ebe ịchụ aja, ebe ịchụ aja! Otu a
ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu: ‘A ga-amụ otu nwa nwoke n’ụlọ Devid, aha ya ga-abụ
Josaya.* Ọ ga-eji ndị nchụaja niile nke ebe dị elu, bụ ndị na-achụ aja n’elu gị, chụọ
aja n’elu gị. A ga-esurekwa ọkpụkpụ ndị mmadụ ọkụ n’elu gị.’ ” 3 N’ụbọchị ahụ, onye
nke Chineke ahụ kwuru okwu banyere ihe ịrịbama ga-emezu. O kwuru sị, “Nke a bụ
ihe ịrịbama ONYENWE ANYỊ ji emesi okwu ya ike: Ebe ịchụ aja a ga-agbawa ụzọ abụọ.
Ntụ dị n’elu ya ga-awụsasị n’ala.”
4 Mgbe eze Jeroboam nụrụ ihe onye nke Chineke ahụ kwuru megide ebe ịchụ aja
Betel, o setịpụrụ aka ya site n’ebe ịchụ aja ahụ sị, “Jidenụ nwoke a!” Ma aka ahụ
ọ setịpụrụ tụgide nwoke ahụ kpọnwụrụ na o nwekwaghị ike iweghachi ya azụ ọzọ.

‡ **12:25** 12:25 N’asụsụ Hibru Penuel bụ otu ọzọ e si akpọ Peniel § **12:31** 12:31 Mgbe ndị nchụaja gbapụrụ ọsọ site na Jerusalem, n’ihi ize ndụ site n’aka Jeroboam, ọ họpụtara ndị nchụaja site n’etiti ndị Izrel niile, n’agbanyeghị na ndị a abụghị ndị Livayị. 2Ih 11:13-17 * **13:2** 13:2 2Ez 23:15-16

5 Ọzọkwa, ebe ịchụ aja ahụ gbawara abụọ, ntụ dị n’elu ya wụsịkwara n’ala dịka ihe
ịrịbama nke onye amụma Chineke nyere, site n’okwu ONYENWE ANYỊ.
6 Mgbe ahụ, eze sịrị onye nke Chineke ahụ, “Biko, rịọọ ONYENWE ANYỊ Chineke gị,
kpekwara m ekpere ka e nyeghachi m aka m.” Ya mere, onye nke Chineke ahụ rịọrọ
ONYENWE ANYỊ site n’ekpere, emekwara ka aka eze dịghachi dịkwa ka ọ dị na mbụ.
7 Emesịa, eze gwara onye nke Chineke ahụ okwu sị, “Soro m gaa n’ụlọ m. Aga m
enye gị ihe oriri, nyekwa gị onyinye.”
8 Ma onye nke Chineke ahụ zara eze sị, “Ọ bụrụ na i nye m ọkara ihe niile i nwere,
agaghị m eso gị baa n’ime ụlọ gị. Agaghị m erikwa nri gị maọbụ ṅụọ mmiri n’ebe a.
9 N’ihi na-enyere m iwu site n’okwu ONYENWE ANYỊ, sị, ‘Erila nri, aṅụkwala mmiri,
esitekwala ụzọ i si gaa laghachi.’ ” 10 Ya mere, o sitere n’ụzọ ọzọ lawa, nke na-abụghị
ụzọ o si bịa Betel.
11 Ma o nwere otu onye amụma bụ agadi bi na Betel. Onye ụmụ ya bịara kọọrọ
ihe niile onye nke Chineke ahụ mere n’ụbọchị ahụ na Betel, ha kọkwaara nna ha ihe
niile ọ gwara eze. 12 Nna ha jụrụ ha, “Olee ụzọ ọ gara?” Ụmụ ya ndị ikom ziri ya
ụzọ nke onye nke Chineke ahụ si Juda gara. 13 Mgbe ahụ, ọ sịrị ụmụ ya ndị ikom,
“Jikekwaranụ m ịnyịnya ibu m.” Ha jikekwaara ya ịnyịnya ibu, ọ nọkwasịrị n’elu
ya. 14 Ọ gbasooro onye nke Chineke n’azụ, ọ hụrụ ya ka ọ nọ ala n’okpuru osisi ook,
Ọ sịrị ya, “Ọ bụ gị bụ onye nke Chineke ahụ si Juda bịa?”
Ọ zara, “E, ọ bụ mụ onwe m.”
15 Onye amụma ahụ sịrị ya, “Soro m ka anyị gaa n’ụlọ m, ka i rie nri.”
16 Ma ọ sịrị, “Apụghị m iso gị laghachi azụ, maọbụ rie nri, ma ọ bụkwa ṅụọ mmiri
ọbụla n’ebe a. 17 N’ihi na a gwara m site n’okwu ONYENWE ANYỊ sị, ‘Erikwala nri
maọbụ ṅụọ mmiri n’ebe ahụ, maọbụ soro ụzọ ị si gaa lọtakwa.’ ”
18 Ma onye nke ọzọ sịrị ya, “Mụ onwe m bụkwa onye amụma dịka gị, mmụọ ozi
zikwara m ozi site n’okwu ONYENWE ANYỊ sị, ‘Kpọrọ ya ka o soro gị laghachi n’ụlọ gị,
ka o rie nri, ṅụọkwa mmiri.’ ” (Ma ọ gwara ya okwu ụgha.) 19 Ya mere, nwoke nke
Chineke ahụ soro ya laghachi rie nri, ṅụọkwa mmiri.
20 Ma mgbe ha abụọ nọdụ na-eri ihe na tebul, okwu ONYENWE ANYỊ rutere onye
amụma agadi ahụ ntị, bụ onye mere ka ọ lọghachi azụ. 21 Ọ kpọrọ onye nke
Chineke ahụ si Juda bịa sị ya, “Otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu, ‘N’ihi na ị nupula
isi n’okwu ọnụ ONYENWE ANYỊ, hapụ idebe iwu ONYENWE ANYỊ Chineke gị nyere gị.
22 Ị laghachikwara n’ebe a, rie nri, ṅụọkwa mmiri, bụ ebe ọ gwara gị sị gị, erila nri,
aṅụkwala mmiri. Ya mere, agaghị eli ozu gị n’ala ili nna gị ha.’ ”
23 Mgbe onye nke Chineke ahụ risiri nri, ṅụọkwa ihe ọṅụṅụ, ha kwadooro ya
ịnyịnya ibu nke onye amụma ahụ kpọghachiri ya azụ. 24 Dịka ọ na-alaghachi, otu
ọdụm zutere ya n’ụzọ, dọgbuo ya. Ma ọ hapụrụ ozu ya ka ọ tọgbọrọ n’okporoụzọ,
ma ịnyịnya ibu ya ma ọdụm ahụ dọgburu nwoke ahụ guzokwa n’akụkụ ozu ya.
25 Ndị mmadụ na-agafe hụrụ ozu ahụ ka ọ tọgbọrọ n’ụzọ, hụkwa ka ọdụm ahụ guzo
n’akụkụ ya. Ndị a gara kọọ akụkọ ihe ha hụrụ n’ụzọ n’obodo ebe onye amụma agadi
ahụ bi.
26 Mgbe onye amụma ahụ mere ka ọ laghachi azụ nụrụ ihe mere, ọ sịrị, “Ọ bụ
onye nke Chineke ahụ nupuru isi n’okwu ONYENWE ANYỊ. ONYENWE ANYỊ enyefeela
ya n’aka ọdụm, nke dọgburu ma gbukwaa ya, dịka okwu ONYENWE ANYỊ dọrọ ya aka
na ntị.”
27 Mgbe ahụ, ọ sịrị ụmụ ya ndị ikom, “Jikekwaranụ m ịnyịnya ibu.” Ha mere otu a.
28 Ọ pụrụ gaa chọta ozu nwoke ahụ ka ọ tọgbọrọ n’ụzọ. Ịnyịnya ibu ya na ọdụm ahụ
guzokwa n’akụkụ ozu ahụ. Ọdụm erighị anụ nwoke ahụ, ọ dọgbukwaghị ịnyịnya
ibu ahụ. 29 Onye amụma agadi ahụ buliri ozu onye nke Chineke ahụ dọkwasị ya
n’elu ịnyịnya ibu ya, buru ya bughachi ya n’obodo, n’ihi iruru ya ụjụ, nakwa ili ya.

30 O liri ozu onye nke Chineke ahụ n’ili nke aka ya. Mgbe o liri ya, ọ kwara akwa sị,
“Ewoo nwanna m!”
31 Mgbe o lisiri ya, ọ gwara ụmụ ya ndị ikom sị, “Mgbe m nwụrụ, lienụ m n’otu ili
a e liri onye nke Chineke; doonụ ọkpụkpụ m ka ọ dịrị n’akụkụ ọkpụkpụ ya. 32 N’ihi
na ozi ahụ niile o ziri site n’okwu ONYENWE ANYỊ megide ebe ịchụ aja dị na Betel, na
megidekwa ebe ụlọ arụsị niile dị n’ebe dị elu n’obodo Sameria aghaghị imezu.”
33 N’agbanyeghị ihe ndị a niile, Jeroboam esiteghị n’ụzọ ọjọọ ya tụgharịa. Kama ọ
gara n’ihu họpụta ndị nchụaja maka ebe niile dị elu site n’etiti ndị mmadụ efu. Onye
ọbụla chọrọ ịbụ onye nchụaja ka o doro nsọ maka ije ozi n’ebe niile dị elu. 34 †Nke
a bụ mmehie ezinaụlọ Jeroboam. Ọ bụ ya mere alaeze Jeroboam ji daa, meekwa ka
e kpochapụ ya n’elu ụwa.

# 14

*Amụma Ahija megide Jeroboam*

1 N’oge a, Abija nwa Jeroboam nọ n’ọrịa nke dị ukwuu. 2 N’ihi ya, Jeroboam sịrị
nwunye ya, “Gaa, jikwaa onwe gị n’ụzọ mmadụ na-enweghị ike ịmata na ị bụ nwunye
Jeroboam. Ị ga-ejekwa Shaịlo, Ahija onye amụma nọ n’ebe ahụ, bụ nwoke ahụ gwara
m okwu na m ga-abụ eze ndị nke a. 3 Chịrịkwa ogbe achịcha iri, na achịcha nta ole
na ole, na otu karama mmanụ aṅụ, jekwuru ya. Ọ ga-agwa gị ihe ga-eme banyere
nwantakịrị a.” 4 Nwunye Jeroboam mere ihe o kwuru, o biliri jee n’ụlọ Ahija na
Shaịlo.
Ahija bụ agadi nwoke n’oge a. Ọ naghị ahụkwa ụzọ n’ihi nka ọ kara. 5 Ma ONYENWE
ANYỊ agwalarị Ahija okwu sị ya, “Nwunye Jeroboam na-abịa ịjụta ase n’aka gị banyere
nwa ya nwoke ahụ na-adịghị ike, ọsịsa dị otu a ka i ganye ya. Mgbe ọ ga-abịa ịhụ gị
ọ ga-eme onwe ya dịka ọ bụghị nwunye Jeroboam.”
6 Mgbe Ahija nụrụ ụda nzọ ụkwụ ya ka ọ na-abata n’ọnụ ụzọ, ọ kpọrọ ya oku sị
ya, “Bata, nwunye Jeroboam. Gịnị mere i ji jie ejiji dịka onye ọzọ? Enwere m akụkọ
ọjọọ m ga-akọrọ gị 7 Ga gwa Jeroboam sị ya, Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel
kwuru, ‘Esi m n’etiti ndị m welie gị elu, mee gị ka ị bụrụ onye ga-achị ndị m, bụ Izrel.
8 Adọwapụrụ m alaeze Izrel site n’ụlọ Devid nye gị ya, ma ị geghị ntị n’iwu m, maọbụ
debe ha dịka ohu m Devid debere ihe niile m nyere ya n’iwu. Onye echiche obi ya na
ihe na-atọ obi ya ụtọ mgbe niile bụ idebe iwu m, na ime ihe ziri ezi n’anya m. 9 * Ma
ihe ọjọọ i mere adịla ukwuu karịa nke ndị niile bu gị ụzọ bụrụ eze mere. Ị kpụọlara
onwe gị chi ndị ọzọ, chi ndị e ji ọla kpụọ, si otu a kpasuo m iwe, gbakụta m azụ gị.
10 “ ‘N’ihi ihe ndị a, aga m eme ka ihe ọjọọ bịakwasị ezinaụlọ Jeroboam. Aga m
ekpochapụkwa ụmụ ndị ikom gị niile, ma ndị ohu, ma ndị nwe onwe ha nọ n’ala
Izrel. Aga m ekpochapụkwa ụlọ Jeroboam dịka mmadụ si ekpochapụ nsị anụ, ruo
mgbe e kpochapụrụ ha niile. 11 Nkịta ga-eri ozu ndị nke Jeroboam ndị nwụrụ n’ime
obodo, ma ndị nwụrụ n’ọhịa ka anụ ufe nke eluigwe ga-eri ozu ha. ONYENWE ANYỊ
ekwuola ya.’
12 “Ma gị onwe gị, Laa n’ụlọ gị. Mgbe ị na-azọbanye ụkwụ gị n’obodo, nwokorobịa
ahụ ga-anwụ. 13 Ndị Izrel niile ga-akwa akwa n’ihi ya lie ya. Ọ bụ naanị ya bụ onye
a ga-eli eli, n’ihi na n’ime ezinaụlọ Jeroboam, ọ bụ naanị n’ime nwokorobịa a ka
ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel chọtara ihe dị mma.
14 “Ma ONYENWE ANYỊ ga-emekwa ka eze ọzọ bilie n’Izrel, onye ga-ekpochapụ
ezinaụlọ Jeroboam niile. O bidola taa, e, ma ugbu a kwa! 15 ONYENWE ANYỊ ga-eti
Izrel ihe, mee ka ọ maa jijiji dịka osisi achara nke ikuku na-ebugharị n’ime mmiri.
Ọ ga-ehopu Izrel site n’ezi ala o nyere nna nna ha, fesaa ha n’ofe osimiri Yufretis,

† **13:34** 13:34 1Ez 12:30; 2Ez 17:21 * **14:9** 14:9 1Ez 12:28; 2Ih 11:15

n'ihi na ha akpasuola iwe Onyenwe anyị site n'iguzobe ogidi ofufe Ashera. 16 Ọ ga-
agbakụta Izrel azụ n'ihi mmehie Jeroboam mere, ma meekwa ka Izrel niile soro ya
mehie."
17 Mgbe ahụ, nwunye Jeroboam biliri laghachi Tịaza. Ma nwokorobịa ahụ nwụrụ
mgbe ọ na-azọbata ụkwụ ya n'ọnụ ụzọ ụlọ ha. 18 Ha liri ya, ndị Izrel niile rukwara ụjụ
n'ihi ya, dịka okwu Onyenwe anyị si dị, nke o kwuru site n'ọnụ Ahija, onye amụma.
19 Ihe niile ọzọ Jeroboam mere, na ihe niile banyere ibu agha ya niile, na ọtụtụ ihe
ọzọ dị iche iche banyere ọchịchị ya, ka e dere n'akwụkwọ akụkọ ihe ndị eze Izrel
mere. 20 Jeroboam chịrị Izrel iri afọ abụọ na abụọ. O sooro ndị nna nna ya ha dina
n'ọnwụ, nwa ya Nadab ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

### *Rehoboam, eze Juda*

21 N'oge a, Rehoboam nwa Solomọn, bụ eze Juda. Ọ gbara iri afọ anọ na otu mgbe
ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị afọ iri na asaa na Jerusalem, bụ obodo ahụ Onyenwe anyị
họọrọ site n'etiti ebo niile nke Izrel, bụ ebe ọ ga-akpọkwasị Aha ya. Aha nne ya bụ
Naama, onye Amọn.
22 Mgbe ahụ, ndị Juda mehiekwara megide Onyenwe anyị. Ha sitere n'ọtụtụ
mmehie ha mere, nke karịrị mmehie nke ndị nna nna ha ochie mere, kpasuo ekworo
ya. 23 Ha wukwara nye onwe ha ebe ịchụ aja na ogidi arụsị n'elu ugwu niile, na ogidi
chi Ashera, na n'okpuru osisi ọbụla akwụkwọ ndụ dị n'elu ya.† 24 E nwere ndị ikom
akwụna n'ala ahụ, ndị nọ n'ụlọ arụsị ha dị iche iche. Ndị mmadụ mere ụdị ihe arụ
ahụ nke ndị mba niile ndị ahụ na-eme, bụ mba ndị ahụ Onyenwe anyị sitere n'ihu
ndị Izrel chụpụ.
25 N'afọ nke ise, nke ọchịchị eze Rehoboam, Shishak, eze Ijipt, busoro Jerusalem
agha. 26 O bukọrọ akụ niile dị n'ime ụlọ Onyenwe anyị, na akụ niile dịkwa n'ụlọeze.
Ọ kwakọọrọ ihe niile, werekwa ọta ọlaedo niile ndị ahụ Solomọn kpụrụ. 27 Ma eze
Rehoboam kpụrụ ọta bronz i ji dochie ndị ahụ, nyefee ha n'aka ndịisi ndị nche,
bụ ndị na-eche n'ọnụ ụzọ ụlọeze nche ka a lekọta ha anya. 28 Mgbe ọbụla eze na-
aga n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, ndị nche na-ebu ọta ndị ahụ, emesịa, ha na-
ebughachikwa ha n'ime ụlọ ndị nche.
29 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Rehoboam, na ihe niile o mere, ọ
bụ na e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ndị eze Juda? 30 Agha dịgidere n'etiti Rehoboam
na Jeroboam ụbọchị niile nke ndụ ha. 31 Rehoboam sooro ndị nna nna ya ha dina
n'ọnwụ, e lie ya n'ebe e liri ha n'obodo Devid. Aha nne ya bụ Naama, onye Amọn.
Abija nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

## 15

### *Ọchịchị eze Abija*

1 Abija malitere ịbụ eze Juda, n'afọ iri na asatọ nke ọchịchị eze Jeroboam nwa
Nebat. 2 Ọ chịrị afọ atọ na Jerusalem. Aha nne ya bụ Maaka, nwa nwanyị Abishalom.
3 O mere mmehie niile nna ya mere n'ihu ya; o jighị obi zuruoke gbasoo Onyenwe
anyị Chineke ya, dịka obi nna nna ya Devid dị. 4 Ma n'ihi Devid, Onyenwe anyị
Chineke ya nyere ya oriọna na Jerusalem, site na-ime ka nwa ya nwoke nọchie ọnọdụ
ya nakwa ime ka Jerusalem guzosie ike. 5 N'ihi na Devid mere ihe ziri ezi n'anya
Onyenwe anyị, ọ dịghịkwa iwu Onyenwe anyị ọbụla nke ọ na-edebeghị n'ụbọchị
ndụ ya niile, ma ọ bụghị naanị ihe banyere okwu Ụraya, onye Het.
6 Agha dị n'etiti Abija na Jeroboam n'ụbọchị niile nke ndụ Abija. 7 Ma banyere ihe
ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Abija, o bụ na e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ndị eze

† **14:23** 14:23 Mgbe ndị Izrel wuru ebe ịchụ aja na ogidi arụsị, ha nupuru isi site n'iwu Chineke nyere ha n'akwụkwọ Ọpụ 23:24; 34:13-14; Dit 7:5; 12:2-3

Juda? Agha dịgidere n’etiti Abija na Jeroboam. 8 Abija sooro nna nna ya ha dina
n’ọnwụ, e lie ya n’obodo Devid. Asa, nwa ya nwoke ghọrọ eze n’ọnọdụ ya.

### *Asa, eze Juda*

9 N’afọ nke iri abụọ nke ọchịchị Jeroboam eze Izrel, ka Asa ghọrọ eze Juda. 10 Ọ chịrị
iri afọ anọ na otu na Jerusalem. Aha nne nne ya bụ Maaka, nwa nwanyị Abishalom.
11 Asa mere ihe ziri ezi n’anya ONYENWE ANYỊ dịka Devid nna ya mere.* 12 O sitere
n’ala ahụ niile chụpụ ndị ikom akwụna ụlọ arụsị niile, wezugakwa arụsị niile nke ndị
nna nna ya ha mere. 13 Ọ chụdakwara ọbụladị nne nne ya bụ Maaka, site n’ọnọdụ
ya dịka nne eze, n’ihi na ọ kpụrụ ihe arụ, ogidi Ashera maka iji fee ya ofufe. Asa
gbuturu ya kpọọ ya ọkụ na ndagwurugwu iyi Kidrọn. 14 Ọ bụ ezie na o wezugaghị
ugwu niile dị elu, ma Asa ji obi zuruoke jere ONYENWE ANYỊ ozi n’oge ndụ ya niile.
15 O webatara n’ime ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ ọlaọcha na ọlaedo na ihe niile nke nna
ya na ya onwe ya doro nsọ.
16 Ma agha dịgidere n’etiti Asa na Baasha, eze Izrel ụbọchị ọchịchị ha niile.
17 Baasha eze Izrel, busoro Juda agha, wuchie Rema igbochi onye ọbụla na-apụ apụ
maọbụ onye na-abata abata n’oke ala Asa, eze Juda.
18 Mgbe ahụ, Asa chịịrị ọlaọcha na ọlaedo niile dị n’ụlọakụ ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ,
na ndị dị n’ụlọeze ya, nyefee ya n’aka ndị ozi ya ka ha chịrị ha zigara Ben-Hadad,
nwa Tabrimọm, nwa Hezion, bụ eze Aram, onye na-achị na Damaskọs, sị, 19 “Biko,
ka anyị gbaa ndụ dịka nna m na nna gị mere. Lee, ana m ezitere gị onyinye ọlaọcha
na ọlaedo. Ugbu a, mebie ọgbụgba ndụ dị n’etiti gị na Baasha, bụ eze Izrel, ka o si
n’ebe m nọ wezuga onwe ya.”
20 Ben-Hadad kwenyere eze Asa, zipụ ndị ọchịagha ndị agha ya ka ha gaa buso
obodo Izrel niile agha. Ọ lụgburu Ijon, Dan, Ebel-Bet-Maaka na ala Kineret niile,
tinyere ala niile nke ndị Naftalị. 21 Mgbe Baasha nụrụ nke a, ọ kwụsịrị iwu Rema,
laghachi biri na Tịaza. 22 Mgbe ahụ, eze Asa nyere iwu zigara ndị Juda niile, na
ọ dịghị onye iwu ahụ hapụrụ, ha bịara bupusịa nkume na osisi niile dị na Rema,
nke Baasha ji na-ewu ihe n’ebe ahụ. Eze Asa ji ihe ndị a wulie Geba nke Benjamin,
wuokwa Mizpa.
23 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n’oge ọchịchị Asa, na ihe niile ọ rụpụtara na
obodo niile ndị o wuru, ọ bụ na e deghị ha n’akwụkwọ akụkọ ihe e mere n’oge ndị
eze Juda? Ma ọ rịara ọrịa nke metụtara ụkwụ ya abụọ, mgbe o mere agadi. 24 Asa
sooro ndị nna nna ya ha dina n’ọnwụ, e lie ya n’ebe e liri ha, n’obodo Devid, bụ nna
ya. Jehoshafat nwa ya ghọrọ eze n’ọnọdụ ya.

### *Nadab, eze Izrel*

25 Nadab, nwa Jeroboam, malitere ịbụ eze Izrel, n’afọ nke abụọ nke Asa, eze Juda.
Ọ chịrị Izrel afọ abụọ. 26 O mere ihe dị njọ n’anya ONYENWE ANYỊ. Ọ gbasoro ụzọ niile
nke nna ya ma na-emekwa otu mmehie ahụ nke nna ya ji duba Izrel n’ime mmehie.
27 Baasha nwa Ahija, onye si n’ebo Isaka gbara izu ojọọ megide ya. O tidara ya
na Gibeton, n’otu obodo ndị Filistia, mgbe Nadab na ndị Izrel niile nọchibidoro ya.
28 Baasha gburu Nadab, nọchie ọnọdụ ya dịka eze, n’afọ nke atọ nke ọchịchị Asa, eze
Juda.
29 Ngwangwa, mgbe ọ malitere ọchịchị ya, o gburu ndị ezinaụlọ Jeroboam niile.
O kweghị ka onye ọbụla na-eku ume fọdụ, kama ọ lara ha niile n’iyi, dịka okwu
ONYENWE ANYỊ kwuru site n’ọnụ onyeozi ya, bụ Ahija onye Shilo. 30 Ihe ndị a mere
n’ihi mmehie niile Jeroboam mere, nke o mere ka Izrel mee, nakwa n’ihi na ọ kpasuru
ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke Izrel iwe.

* **15:11** 15:11 2Ih 14:2; 1Ez 9:4; 14:8

31 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Nadab, o bụ na e deghị ha
n'akwụkwọ akụkọ ihe mere n'oge ndị eze Izrel? 32 Ma agha dịgidere n'etiti Asa na
Baasha, eze Izrel, ụbọchị ọchịchị ha niile.

*Baasha, eze Izrel*

33 N'afọ nke atọ nke Asa, eze Juda, Baasha nwa Ahija ghọrọ eze ndị Izrel niile na
Tịaza. Ọ chịrị iri afọ abụọ na abụọ. 34 O mere ọtụtụ ihe dị njọ n'anya ONYENWE
ANYỊ. Ọ gbasoro ụzọ ọjọọ niile nke Jeroboam, jeekwa ije n'ime otu mmehie ahụ nke
Jeroboam dubara ndị Izrel ime.

# 16

1 Mgbe ahụ, ozi ONYENWE ANYỊ sitere n'ọnụ Jehu, nwa Hanani banyere Baasha, eze
Izrel sị ya, 2 "Esi m n'aja welie gị elu, mee gị onye ọchịchị ndị m Izrel. Ma i jeela ije
n'ụzọ ọjọọ niile nke Jeroboam. I meela ka ndị m bụ Izrel mmehie, si otu a kpasuo
m iwe site na mmehie ha. 3 Ya mere, aga m ekpochapụ Baasha na ezinaụlọ ya, m
ga-emekwa ụlọ gị ka ọ dịka ụlọ Jeroboam, nwa Nebat. 4 *Onye ọbụla nke metụtara
Baasha nke nwụrụ n'ime obodo ka nkịta ga-eri ozu ya, ma ndị nwụrụ n'ọhịa ka anụ
ufe nke eluigwe ga-eri ozu ha."

5 Akụkọ niile banyere ọrụ Baasha rụrụ, na ibu agha ya niile, e deghị ha n'akwụkwọ
akụkọ ọrụ ndị eze Izrel? 6 Baasha sooro ndị nna nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya na
Tịaza. Ela, nwa ya nwoke, nọchiri ọnọdụ ya dịka eze.

7 Ma ozi ONYENWE ANYỊ si n'ọnụ Jehu onye amụma, nwa Hanani bịara Baasha na
ndị ezinaụlọ ya n'ihi ihe ọjọọ niile o mere, si otu a kpasuo ONYENWE ANYỊ iwe. Ọ bụ
ezie na ọ maara na Onyenwe anyị kpochapụrụ ezinaụlọ Jeroboam n'ihi ihe ọjọọ o
mere, ma Baasha gara n'ihu mee ihe ọjọọ.

*Ela, eze Izrel*

8 Ela, nwa Baasha, malitere ịbụ eze Izrel n'iri afọ abụọ na isii nke ịbụ eze Asa, eze
Juda. Ma naanị afọ abụọ ka ọ chịrị dịka eze na Tịaza.

9 Mgbe ahụ, Zimri, ọchịagha na-achị ọkara ụgbọala agha eze, gbara izuzu megide
ya. N'oge a, Ela nọ na-aṅụ mmanya na Tịaza, n'ụlọ Aza, onye na-elekọta ụlọeze dị
n'obodo ahụ. Ọ ṅụkwara mmanya ahụ ṅụbiga ya oke. 10 Zimri batara kụdaa ma
gbukwaa ya. Ọ bụ n'iri afọ abụọ na asaa nke ọchịchị Asa, eze Juda. Ọ bụụrụ eze
n'ọnọdụ ya.

11 Ngwangwa ọ ghọrọ eze, nọkwasị n'ocheeze ya, o gburu mmadụ niile nọ
n'ezinaụlọ Baasha. Ọ hapụghị ọ bụladị otu nwoke. O gburu ikwu na ibe Baasha,
na ndị enyi ya niile. 12 Ya mere, Zimri kpochapụrụ ndị ezinaụlọ niile Baasha, n'usoro
okwu ONYENWE ANYỊ kwuru megide Baasha site n'ọnụ onye amụma ya bụ Jehu.
13 N'ihi mmehie niile nke Baasha na nwa ya Ela mere, na nke ha ji mee ka Izrel
mehie, bịakwa kpasuo iwe ONYENWE ANYỊ bụ Chineke Izrel, site n'arụsị ha niile na-
abaghị uru.

14 Akụkọ banyere ọchịchị Ela, na ihe niile o mere e deghị ha n'akwụkwọ ọchịchị
ndị eze Izrel?

*Zimri, eze Izrel*

15 N'afọ nke iri abụọ na asaa nke ọchịchị Asa, eze Juda, ka Zimri chịrị ụbọchị asaa
na Tịaza. N'oge a, ndị agha Izrel mara ụlọ ikwu na Gibeton, obodo ndị Filistia na-ebu
agha. 16 Mgbe ha nụrụ na Zimri egbuola eze ha, ha niile kwekọtara mee Omri eze
ọhụrụ ha. Omri bụ onyeisi agha ndị agha Izrel niile. 17 N'ihi nke a, Omri duuru ndị
agha ahụ nọ na Gibeton bịa ibuso Tịaza, isi obodo Izrel agha. 18 Mgbe Zimri hụrụ
na-adọtala obodo ahụ n'agha, ọ banyere n'ụlọ elu dị n'ụlọeze, sunye onwe ya na

* **16:4** 16:4 1Ez 14:11; 21:24

ụlọeze ahụ ọkụ. O si otu a nwụọ, 19 n'ihi na Zimri n'onwe ya mere ihe ọjọọ n'anya
Onyenwe anyị dịka Jeroboam. Ọ kpọrọ isiala nye arụsị, dubakwa ụmụ Izrel n'ime
mmehie.
20 Akụkọ banyere Zimri na ihe ọjọọ niile o mere e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ
ọchịchị ndị eze Izrel?

### *Omri, eze Izrel*

21 Ma n'oge a, ndị Izrel kere onwe ha ụzọ abụọ maka onye ga-abụ eze ha. Otu ụzọ
dịnyeere Omri, ndị nke ọzọ dịnyeere Tibni, nwa Ginat. 22 Ma ndị dịnyeere Omri dị
ike karịa ndị dịnyeere Tibni, nwa Ginat. Ya mere, Tibni nwụrụ. Omri ghọkwara eze
Izrel.
23 Asa, eze Juda anọọla iri afọ atọ na otu dịka eze mgbe Omri malitere ịbụ eze Izrel.
Omri chịrị Izrel afọ iri na abụọ, afọ isii n'ime afọ ndị a na Tịaza. 24 Omri zụrụ ala
ugwu ugwu a na-akpọ Sameria site n'aka Shema, kwụọ ya talenti ọlaọcha abụọ. O
wuru obodo ọhụrụ n'ugwu ahụ gụọ aha ya Sameria, n'ihi na aha onyenwe ala ahụ
na mbụ bụ Shema.
25 Ma Omri mere ihe ọjọọ n'anya Onyenwe anyị karịa ndị eze Izrel niile buru ya
ụzọ. 26 Ọ kpọrọ isiala nye arụsị, dịka Jeroboam nwa Nebat mere. O dubakwara ndị
Izrel n'ime mmehie. N'ihi nke a o mere ka iwe wee Onyenwe anyị, Chineke Izrel,
n'ihi arụsị nzuzu ha.
27 Akụkọ ihe niile Omri mere, ọ bụ na e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ọchịchị ndị
eze Izrel? 28 Omri sooro ndị nna nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya na Sameria. Ehab,
nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

### *Ehab, aghọọ eze Izrel*

29 N'afọ nke iri atọ na asatọ nke ọchịchị eze Asa na Juda, ka Ehab, nwa Omri,
malitere ịchị dịka eze n'Izrel. Ọ chịrị ndị Izrel iri afọ abụọ na abụọ na Sameria.
30 Ehab nwa Omri mere ihe ọjọọ n'anya Onyenwe anyị karịa ndị eze niile buru ya
ụzọ. 31 Ọ bụghị naanị na ọ gụrụ mmehie niile Jeroboam nwa Nebat mere dị ka ihe dị
nta, kama ọ gara n'ihu lụọ Jezebel, nwa nwanyị Etbaal, eze ndị Saịdọn.† O bidokwara
ịkpọ isiala nye arụsị Baal, na ife ya ofufe. 32 O guzobere ebe ịchụ aja nye Baal, n'ụlọ
arụsị Baal nke o wuru na Sameria. 33 Ehab manyere ogidi chi Ashera, si otu a kpasuo
Onyenwe anyị bụ Chineke nke Izrel iwe karịa otu ndị eze Izrel niile bu ya ụzọ chịa
si mee.
34 Mgbe Ehab na-achị, ka Hiel, onye Betel, wughachiri obodo Jeriko. Ọkpara ya bụ
Abiram nwụrụ, mgbe ọ tọrọ ntọala obodo ahụ, ka ọ guzobere ọnụ ụzọ ama ya ọtọ,
nwa ya nwoke nke nta aha ya bụ Segub nwụrụ, imezu okwu Onyenwe anyị kwuru
site n'ọnụ Joshua nwa Nun.

## 17

### *Ịlaịja ekwuo maka oke ụnwụ nke ga-ada*

1 Ugbu a, Ịlaịja onye Tishbe, onye si obodo Tishbe, nke dị n'ala Gilead, sịrị Ehab,
"Eji m aha Onyenwe anyị Chineke Izrel dị ndụ, onye m na-efe na onye m na-ejere ozi
na-agwa gị na igirigi agaghị ada, mmiri agaghị ezo ọzọ n'afọ ndị a na-abịa karịa ma
ọ bụghị naanị site n'okwu ọnụ m!"

### *Ugolọma ebutere Ịlaịja nri*

2 Okwu Onyenwe anyị rutere Ịlaịja ntị, sị ya, 3 "Si n'ebe a pụọ. Soro ụzọ ọwụwa
anyanwụ, gaa zoo onwe gị n'akụkụ iyi Kerit, n'akụkụ ọwụwa anyanwụ ya, nke bụ
n'ihu Jọdan. 4 Nọdụ n'ebe ahụ ṅụọ mmiri si n'iyi ahụ, riekwa nri ọbụla ụmụ ugolọma
ga-ebutere gị, n'ihi na enyela m ha iwu ka ha nye gị nri."

---

† **16:31** 16:31 Dit 7:3; Nkp 18:7

5 O mere ihe Onyenwe anyị gwara ya ka o mee. Ọ gara n'akụkụ iyi nta Kerit n'akụkụ
ọwụwa anyanwụ Jọdan nọrọ n'ebe ahụ. 6 Ugolọma na-ebutere ya achịcha na anụ,
ụtụtụ na anyasị niile. Ọ na-aṅụkwa mmiri site n'iyi ahụ.

*Ịlaịja na Nwanyị Zarefat*

7 Ma mgbe ụbọchị ụfọdụ gasịrị, mmiri ahụ tara, n'ihi na mmiri adịghị ezokwa n'ala
ahụ. 8 Okwu Onyenwe anyị bịakwutere ya, 9 "Bilie, jee Zarefat, obodo dị Saịdọn nso,
biri n'ebe ahụ. O nwere otu nwanyị di ya nwụrụ, onye m nyere iwu ka o nye gị nri."
10 Ịlaịja biliri jee Zarefat. Mgbe o ruru ọnụ ụzọ ama e si abanye obodo ahụ, ọ hụrụ
otu nwanyị di ya nwụrụ ka ọ nọ na-achịkọta nkụ. Ịlaịja kpọrọ ya oku sị ya, "Biko,
kutere m ntakịrị mmiri n'iko ka m ṅụọ." 11 Mgbe nwanyị ahụ na-aga ikute mmiri
ahụ, Ịlaịja kpọrọ ya oku ọzọ sị ya, "Biko, wetara m otu iberibe achịcha ka m taa."
12 Ma nwanyị ahụ zara sị ya, "Dịka Onyenwe anyị Chineke na-adị ndụ, enweghị
m achịcha ọbụla n'ụlọ m. Naanị ihe m nwere bụ otu njuaka ụtụ ọka dị n'ite, na
mmanụ ntakịrị dị na karama. Ugbu a, ana m achịkọta nkụ ka m baa ga siere onwe
m siekwara nwa m nri, ka anyị rie, chere ọnwụ ga-abịa egburu anyị."
13 Ịlaịja sịrị ya, "Atụla egwu! Gaa mee dịka i kwuru. Ma naanị buru ụzọ meere
m ogbe achịcha ntakịrị site n'ihe i nwere, wetara m ya. Emesịa, mee nke gị na nwa
gị ga-eri. 14 N'ihi na nke a bụ ihe Onyenwe anyị, Chineke Izrel kwuru, 'Ụtụ ọka dị
n'ite ahụ agaghị agwụ, mmanụ ahụ dị n'ite ahụ agakwaghị akọ tutu ruo ụbọchị ahụ
Onyenwe anyị ga-ezite mmiri ozuzo n'ala a.' "
15 Nwanyị ahụ mere dịka Ịlaịja kwuru. Sitekwa n'ụbọchị ahụ gaa n'ihu, ihe oriri
akọkwaghị Ịlaịja na nwanyị ahụ, na ezinaụlọ ya. 16 N'ihi na ụtụ ọka ahụ agwụghị,
mmanụ akọkwaghị nwanyị ahụ, dịka okwu Onyenwe anyị kwuru site n'ọnụ Ịlaịja,
onye amụma.
17 Mgbe ihe ndị a gasịrị, nwa nwanyị ahụ nwe ụlọ rịara ọrịa. Ọrịa a bịara sie
ike nke ukwuu na ume afọdụghị n'ime ya. 18 Mgbe ahụ, nwanyị ahụ kwaara akwa
bịakwute Ịlaịja sị ya, "Ewoo, onye nke Chineke, gịnị ka i nwere megide m? Ị bịara
ka i chetara m mmehie m, na igbu nwa m nwoke?"
19 Ịlaịja zara sị ya, "Kunye m nwa gị nwoke." Ịlaịja kuuru ya site n'aka nne ya
rigoo n'ụlọ elu ebe ya onwe ya na-edina,* nibe ya n'elu ihe ndina ya. 20 Ọ kpọkuru
Onyenwe anyị sị ya, "Onyenwe anyị Chineke m, gịnị mere i ji wetara nwanyị a m
bi n'ụlọ ya ihe mgbu site n'ikwe ka nwa nwoke ya nwụọ?" 21 Ịlaịja gbatịrị onwe ya
n'ahụ nwantakịrị ahụ ugboro atọ, kpọkuo Onyenwe anyị, sị, "Biko, Onyenwe anyị
Chineke m, kwere ka mkpụrụobi nwantakịrị a laghachikwute ya."
22 Onyenwe anyị nụrụ ekpere Ịlaịja, ndụ nwantakịrị ahụ laghachikwutere ya, ọ
dịkwara ndụ ọzọ. 23 Mgbe ahụ, Ịlaịja kuuru ya si n'ụlọ elu ahụ rịdata, kunye ya nne
ya, gwa ya okwu sị, "Lee, nwa gị dị ndụ!"
24 Nwanyị ahụ sịrị Ịlaịja, "Ugbu a, amatala m na ị bụ onye nke chineke, na okwu
Onyenwe anyị si n'ọnụ gị apụta bụ eziokwu."

# 18

*Ịlaịja na Ọbadaya*

1 Mgbe ọtụtụ oge gasịrị, n'afọ nke atọ, okwu Onyenwe anyị rutere Ịlaịja ntị, "Bilie,
gaa gosi Ehab onwe gị. Aga m emekwa ka mmiri zookwa n'ala a." 2 Ya mere, Ịlaịja
pụrụ gaa igosi Ehab onwe ya.
Ma ụnwụ dị na Sameria n'oge a siri nnọọ ike. 3 O nwere otu nwoke na-elekọta
ihe dị n'ezinaụlọ Ehab. Aha ya bụ Ọbadaya. (Ọ bụ nwoke ji obi ya niile kwere
na Onyenwe anyị. 4 Mgbe eze nwanyị bụ Jezebel na-egbu ndị amụma Onyenwe anyị

* **17:19** 17:19 Ọnụụlọ a, bụ ebe e debere maka ndị ọbịa nakwa ichekwa ihe oriri.

choọ igbuchapụ ha, ọ bụ Ọbadaya zoro narị ndị amụma n'ime ha n'ime ọgba nkume.
O zoro iri ndị amụma ise n'otu ọgba nkume, zookwa iri ndị amụma ise fọdụrụ n'ime
ọgba nkume ọzọ. Emesịa, ọ na-ewegara ha nri na mmiri n'ebe ahụ.) 5 Ehab kpọrọ
Ọbadaya sị ya, "Jegharịa n'ala a niile nyochapụta na ndagwurugwu na isi iyi niile,
ebe ahịhịa ndụ dị. Gbutere ịnyịnya na ịnyịnya muul m ahịhịa ahụ ka ha taa ghara
ịnwụ, ka anyị gharakwa igbu ha." 6 Ha kere ala ahụ n'etiti onwe ha. Ehab sitere otu
akụkụ, ma Ọbadaya sitere akụkụ nke ọzọ.
7 Ọ dịghị anya, na mberede, Ọbadaya hụrụ Ịlaịja ka ọ na-abịa izute ya. Ọbadaya
matara na ọ bụ ya. N'ihi ya, ọ dara n'ala kpuo ihu ya n'ala sị, "Ọ bụ gị ka m hụrụ
n'ezie, onyenwe m, Ịlaịja?"
8 Ịlaịja zara sị ya, "E, ọ bụ m. Ugbu a gaa gwa onyenwe gị, 'mụ bụ Ịlaịja nọ n'ebe
a.' "
9 Mgbe ahụ, Ọbadaya jụrụ Ịlaịja sị, "Gịnị bụ ihe m mejọrọ, nke mere i ji na-achọ
inyefe ohu gị n'aka Ehab ka o gbuo ya? 10 Dịka ONYENWE ANYỊ Chineke gị sị adị
ndụ, o nwebeghị mba maọbụ alaeze dị nke nna m ukwu na-ezigaghị mmadụ ịchọ
gị. Ebe ọbụla ọ gara a na-akọrọ ya na Ịlaịja anọghị n'ebe ahụ. Ehab na-eme ka eze
obodo ahụ ṅụọ iyi na ihe ọ na-ekwu bụ eziokwu. 11 Ma ugbu a, ị na-asị m gaa gwa
Onyenwe m na, 'Ịlaịja nọ n'ebe a.' 12 Ọ bụrụkwanụ na m esite n'ebe a pụọ, onye
ma ebe Mmụọ ONYENWE ANYỊ ga-ebuga gị. Mgbe ahụ, ọ bụrụ na Ehab abịa hapụ ịhụ
gị, ọ ga-egbu m. N'ihi na mụ bụ ohu gị bụ onye na-efe ONYENWE ANYỊ ofufe siterị na
mgbe m bụ okorobịa. 13 Ọ bụ na onyenwe m anụghị ihe m mere mgbe Jezebel nọ
na-egbu ndị amụma ONYENWE ANYỊ? E zoro narị ndị amụma ONYENWE ANYỊ n'ime
ọgba nkume abụọ, iri ise n'ime otu ọgba nkume, iri ise n'ime otu ọgba nkume ka
m zoro ha, jirikwa nri na mmiri ọṅụṅụ zụọ ha. 14 Ma ugbu a i na-agwa m sị m, 'Gaa
gwa onyenwe gị na Ịlaịja abịala.' Ọ ga-egbukwa m!"
15 Ma Ịlaịja zara sị ya, "Dịka ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile na-adị
ndụ, onye m na-ejere ozi, ana m agwa gị na agaghị m esi n'ebe a pụọ tutu ruo mgbe
m gosiri Ehab onwe m taa."

### *Ịlaịja n'ugwu Kamel*

16 Mgbe ahụ, Ọbadaya pụrụ gaa kọọrọ Ehab na Ịlaịja abịala. Emesịa, Ehab pụtara
izute Ịlaịja. 17 Mgbe ọ hụrụ Ịlaịja, Ehab sịrị ya, "Ọ bụ gị onwe gị bụ nke a, gị onye
na-emekpa Izrel ahụ?"
18 Ịlaịja zara sị Ehab, "O nweghị mgbe m ji butere Izrel nsogbu. Ọ bụ gị onwe gị
na ezinaụlọ nna gị na-ebutere Izrel nsogbu. Unu agbakụtala iwu ONYENWE ANYỊ azụ,
gbasoro chi Baal dị iche iche.* 19 Ugbu a, kpọkọta ndị Izrel niile ka ha zute m n'ugwu
Kamel. Kpọpụtakwa ndị amụma Baal ọnụọgụgụ ha dị narị anọ na iri mmadụ ise, na
ndị amụma Ashera, ndị dị narị anọ, bụ ndị na-eso eze nwanyị Jezebel erikọ ihe na
tebul ya."
20 Ehab zigara ozi kpọkọta ndị Izrel niile, na ndị amụma ahụ niile. Ha niile
bịakwara n'ugwu Kamel. 21 Ịlaịja gara n'ihu ndị a, sị ha, "Ọ bụ ruo ole mgbe ka
unu ga-akwụsị inwe obi abụọ? Ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu, soronụ ya!
Ma ọ bụrụkwanụ na unu ekpebie na Baal bụ chi unu, soronụ ya."
Ma ndị zukọrọ n'ebe ahụ ekwughị ihe ọbụla.
22 Mgbe ahụ Ịlaịja sịrị ha, "Leenụ! Ọ bụ mụ onwe m, naanị m, bụ onye amụma
ONYENWE ANYỊ fọdụrụ, ma ndị amụma Baal dị narị anọ na iri ise n'ọnụọgụgụ. 23 Ugbu
a wetanụ oke ehi abụọ ka ndị amụma Baal họrọ otu oke ehi, nke ha chọrọ. Ha ga-
egbujasị ya, tụkwasị ya n'elu nkụ dị n'ebe ịchụ aja, ma ha agaghị amụnye ọkụ ọbụla
n'okpuru ya. Mụ onwe m ga-akwado oke ehi nke ọzọ tụkwasị ya n'elu nkụ ma agaghị

* **18:18** 18:18 1Ez 16:30-33

m amụnyekwa ọkụ n'okpuru ya. 24 Emesịa, unu ga-akpọku chi Baal† unu, mụ onwe
m kwa ga-akpọku aha Onyenwe anyị. Ọ ga-erukwa na chi ga-eji ọkụ za, chi ahụ bụ
Chineke."
Ndị Izrel niile zara sị, "Okwu gị dị mma."
25 Ịlaịja gwara ndị amụma Baal, sị, "Ebe unu dị ọtụtụ, burunu ụzọ họrọ otu oke
ehi n'ime ehi abụọ a dozie ya. Unu amụnyekwala ya ọkụ n'okpuru, kama kpọkuonụ
chi unu." 26 Ya mere, ndị amụma Baal weere oke ehi ahụ e nyere ha doziekwa ya.
Mgbe ahụ, ha kpọkuru aha Baal, chi ha. Site n'ụtụtụ tigide mkpu ruo n'etiti ehihie
na-asị "O Baal, biko, zaa anyị." Ma o nweghị ihe ha nụrụ site n'ọnụ Baal. Ọ dịkwaghị
onye zara ha. Ha malitere ite egwu gburugburu ebe ịchụ aja ahụ ha kwadoro.
27 N'ihe dị ka n'etiti ehihie, Ịlaịja malitere ịchị ha ọchị, na ịkwa ha emo. Ọ gwara
ha okwu sị ha, "Tisienụ mkpu ike ka Baal nwe ike ịnụ arịrịọ unu. N'ezie, ọ bụ chi! Ma
eleghị anya ọ nọ n'oke echiche, maọbụ o ji ọrụ n'aka, maọbụ ọ gara njem. Ma eleghị
anya ọ na-arahụ ụra. Ọ chọrọ onye ga-akpọte ya." 28 Ndị amụma a tiri mkpu n'oke
olu dịka ha si eme. Ha ji mma na ùbe na-egbukasị onwe ha ahụ, tutu ruo mgbe ọbara
malitere isite ha n'ahụ na-agbapụta. 29 Ma mgbe etiti ehihie gasịrị, ha nọgidekwara
na-ebu amụma ruo mgbe oge ịchụ aja uhuruchi ruru, ma o nweghị onye zara ha, o
nwekwaghị olu a nụrụ. Ọ dịkwaghị onye ṅara ha ntị.
30 Mgbe ahụ, Ịlaịja kpọrọ ndị Izrel sị ha, "Bịaruenụ m nso." Ha niile bịaruru ya
nso, o doziri ebe ịchụ aja Onyenwe anyị, bụ ndị ahụ a kwaturu n'ala na mbụ. 31 Ịlaịja
chịịrị nkume iri na abụọ, nke otu n'ime ha nọchiri anya otu ebo Jekọb, onye okwu
Onyenwe anyị rutere si ya, "Aha gị ga-abụ Izrel." 32 O ji nkume ndị a wuzie ebe
ịchụ aja Onyenwe anyị. Emesịa, o gwuru olulu miri emi, nke gbara ebe ịchụ aja ahụ
gburugburu. 33 Ọ tụkwasịrị nkụ n'elu ebe ịchụ aja ahụ, tụkwasịkwa otu oke ehi o
gbujasịrị n'elu nkụ ndị ahụ. Emesịa, o nyere ndị nọ n'ebe ahụ iwu sị ha, "Gbajuonụ
ite anọ mmiri. Butekwanụ mmiri ahụ bịa wụkwasị ya n'elu aja nsure ọkụ a, na n'elu
nkụ ndị a." Mgbe ha mesiri nke a, Ịlaịja gwara ha okwu sị,
34 "Gbajukwaanụ ite mmiri ndị ahụ, bute ha bịa wụkwasị mmiri ahụ nke ugboro
abụọ n'elu aja nsure ọkụ a." Ha mere dịka Ịlaịja kwuru.
Ịlaịja nyekwara ha iwu sị, "Gbajukwaanụ ya nke ugboro atọ, bịa wụkwasị ya."
Ha mekwara otu a. 35 Mmiri jupụtakwara n'ebe ịchụ aja ahụ, na olulu ahụ dị ya
gburugburu.
36 Mgbe oge e ji achụ aja anyasị ruru, Ịlaịja, onye amụma bịara ebe ịchụ aja ahụ nso
kpee ekpere sị, "O, Onyenwe anyị Chineke Ebraham, na Aịzik, na Izrel, biko gosi taa
na ọ bụ gị onwe gị bụ naanị Chineke n'Izrel, na mụ onwe m bụkwa ohu gị. Gosikwa
na m bụ onyeozi gị, na ọ bụ ihe i nyere m n'iwu ka m mere oge ndị a niile. 37 Biko,
Onyenwe anyị m, zaa m ekpere m, zaa m ya, ka ndị Izrel niile mata na gị onwe gị,
Onyenwe anyị bụ Chineke, na gị onwe gị na-atụgharịkwa obi ha ịlaghachikwute gị."
38 Mgbe ahụ, na mberede, ọkụ Onyenwe anyị sitere n'eluigwe daa, rechapụ oke ehi
ahụ, na nkụ ahụ, na nkume, na ntụ, ma rechapụkwa mmiri niile dị n'ime olulu ahụ
dị gburugburu ebe ịchụ aja ahụ.
39 Mgbe ndị mmadụ ahụ niile hụrụ ihe a mere, ha niile dara n'ala kpuo ihu n'ala,
na-eti mkpu na-asị, "Onyenwe anyị, ya onwe ya bụ Chineke! Onyenwe anyị ya onwe
ya bụ Chineke!"
40 Mgbe ahụ, Ịlaịja nyere ha iwu sị, "Jidenụ ndị amụma Baal niile. Unu ekwekwala
ka otu onye n'ime ha laa." Ha jidekwara ha niile. Ịlaịja dukwaara ha niile gaa na
ndagwurugwu iyi Kishọn, gbuo ha n'ebe ahụ.
41 Emesịa, Ịlaịja gwara Ehab okwu sị, "Gaa rie nri, ṅụọkwa ihe ọṅụṅụ; n'ihi na
anụrụ m ụzụ oke mmiri ozuzo ka ọ na-ada." 42 N'ihi nke a, Ehab sitere n'ebe ahụ

† **18:24** 18:24 Baal, bụ chi egbe eluigwe, nke ọtụtụ ndị Siria na ndị Kenan na-efe.

pụọ gaa iri nri na ịṅụ ihe ọṅụṅụ ma Ịlaịja rigooro n'elu ugwu Kamel gbuo ikpere n'ala, kpuokwa ihu ya n'ala n'etiti ikpere ya abụọ ikpe ekpere.
43 N'oge a, ọ gwara nwokorobịa na-ejere ya ozi sị ya, "Gaa lee anya n'ụzọ oke osimiri." Ọ rịgoro lee anya, sị,
"Ọ dịghị ihe ọbụla m hụrụ."
Ịlaịja gwakwara ya otu a, ugboro asaa, sị ya, "Jeghachi."
44 O ruo na nke ugboro asaa, nwokorobịa ahụ bịaghachiri sị Ịlaịja, "Onyenwe m, ahụrụ m igwe ojii dị nta dịka ọbụ aka mmadụ ka o si n'oke osimiri na-apụta."
Ya mere, Ịlaịja sịrị, "Gaa gwa Ehab, 'dozie ụgbọ agha gị, gbadaa tupu mmiri ozuzo egbochi gị ịla.' "
45 Ọ dịghị anya, eluigwe gbajikọtara nnọọ oji. Oke ifufe bidokwara ife. Mmiri dị ukwuu bidokwara izo. Mgbe ahụ, Ehab gbaara ụgbọ agha ya laa Jezril. 46 Ma
ike ONYENWE ANYỊ bịakwasịrị Ịlaịja. Ọ fanyere ọnụ uwe mwụda ya na belịt o kere n'ukwu, gbapụ ọsọ buru Ehab ụzọ gbaruo obodo Jezril.

# 19

### *Ịlaịja agbaga n'ugwu Horeb*

1 Ehab kọọrọ Jezebel ihe niile Ịlaịja mere, na otu o si jiri mma agha gbuo ndị amụma
Baal niile. 2 N'ihi nke a, Jezebel zigara onyeozi ka ọ ga zie Ịlaịja sị, "Ka chi ndị a mesoo m mmeso, n'agbanyeghị otu mmeso ahụ si dị njọ, ma ọ bụrụ na oge dịka oge a echi, egbughị gị dịka i si gbuo ndị amụma Baal."
3 Ịlaịja tụrụ egwu, gbapụ ọsọ, n'ihi ichebe ndụ ya. Mgbe ọ bịaruru Bịasheba, dị na
Juda, ọ hapụrụ nwokorobịa na-ejere ya ozi n'ebe ahụ. 4 Ma ya onwe ya pụkwara jee
ije otu ụbọchị n'ọzara naanị ya. N'ikpeazụ, ọ kwụsịrị nọdụ ala n'okpuru otu osisi brum, kpee ekpere rịọọ ka a napụ ya ndụ ya. Ekpere o kpere n'oge a bụ, "O zuorela m ONYENWE ANYỊ, biko napụ ndụ m. O nweghị ụzọ m si dị mma karịa nna nna m
ha." 5 O dinara n'okpuru osisi brum rahụ ụra.
Ma lee, otu oge ahụ, mmụọ ozi metụrụ ya aka, sị ya, "Bilie, rie nri." 6 Ịlaịja biliri
legharịa anya, hụ ogbe achịcha na ite mmiri nta nke dị n'akụkụ ebe ọ tụkwasịrị isi ya. O riri ogbe achịcha ahụ a hụrụ n'icheku ọkụ, ṅụọkwa mmiri ahụ. Emesịa, o dinakwara ọzọ.
7 Mmụọ ozi nke ONYENWE ANYỊ bịaghachikwara nke ugboro abụọ, sị ya, "Bilie rie
ihe, n'ihi na ije dị gị n'ihu dị ukwuu." 8 Ịlaịja biliri rie ihe, ṅụọkwa mmiri. Nri ahụ nyere ya ike ije ije iri ụbọchị anọ ọzọ, ehihie na abalị, tutu ruo mgbe ọ bịaruru n'ugwu Horeb* nke bụ ugwu Chineke. 9 N'ebe ahụ, ọ banyere n'otu ọgba nkume
rahụ ụra abalị n'ime ya.

### *ONYENWE ANYỊ apụta ìhè nye Ịlaịja*

Ma okwu ONYENWE ANYỊ rutere ya sị, "Ịlaịja, gịnị ka ị na-eme n'ebe a?"
10 Ọ zaghachiri sị, "Eji m ịnụ ọkụ n'obi na-ejere ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ
ime ihe niile ozi. Ndị Izrel ajụla ọgbụgba ndụ gị, tidasịakwa ebe ịchụ aja gị, were mma agha gbukwaa ndị amụma gị niile, ugbu a, ọ bụ naanị mụ onwe m bụ onye fọdụrụ, ma ha na-achọkwa iwepụ ndụ m."
11 ONYENWE ANYỊ sịrị ya, "Pụọ gaa guzo n'elu ugwu, n'ihu ONYENWE ANYỊ, n'ihi na
ONYENWE ANYỊ na-aga isite n'ebe ahụ gafee."
Mgbe ahụ, oke ifufe dị ike gbawara ugwu ahụ, tipịasịa nkume ndị ahụ n'ihu ONYENWE ANYỊ, ma ONYENWE ANYỊ anọghị n'ime ifufe ahụ. Mgbe ifufe ahụ gasịrị, e nwere oke ala ọma jijiji n'ugwu ahụ, ma ONYENWE ANYỊ anọkwaghị n'ala ọma jijiji

* **19:8** 19:8 Ugwu Horeb Maọbụ, Saịnaị, ọ bụ n'ebe a ka Chineke mere ka Mosis hụ ya anya. Ọpụ 3:1; 4:27; 31:18; 32:17

ahụ. 12 Mgbe ala ọma jijiji ahụ gasịrị, ọkụ nwuuru, ma ONYENWE ANYỊ anọghị n'ime
ọkụ ahụ. Ma mgbe ọkụ ahụ gasịrị, nwa olu nta dị nwayọọ dara. 13 Mgbe Ịlaịja nụrụ
ya, o ji uwe mwụda ya kpuchie ihu[†] ya, pụọ gaa guzo n'ọnụ ụzọ ọgba nkume ahụ.

Mgbe ahụ, ọ nụrụ olu jụrụ ya sị, "Ịlaịja, gịnị ka ị na-eme n'ebe a?"

14 Ọ zaghachiri sị, "Eji m ịnụ ọkụ n'obi na-ejere ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ
ime ihe niile ozi. Ndị Izrel ajụla ọgbụgba ndụ gị, tidasịakwa ebe ịchụ aja gị, were
mma agha gbukwaa ndị amụma gị niile, ugbu a ọ bụ naanị mụ onwe m bụ onye
fọdụrụ, ma ha na-achọkwa iwepụ ndụ m."

15 ONYENWE ANYỊ sịrị ya, "Sikwa ụzọ i si bịa laghachi, gaa n'ọzara Damaskọs. Mgbe i
ruru ebe ahụ, tee Hazael mmanụ ịbụ eze Aram. 16 Teekwa Jehu, nwa Nimshi mmanụ
ịbụ eze Izrel. Ị ga-etekwa Ịlaisha nwa Shafat, onye Ebel-Mehola mmanụ ịbụ onye
amụma n'ọnọdụ gị. 17 Onye ọbụla gbanarịrị Hazael ga-anwụ n'aka Jehu. Otu a kwa,
ndị niile gbanarịrị mma agha Jehu ka Ịlaisha ga-egbu. 18 Ma ghọta na ọ dị puku
mmadụ asaa nọ n'Izrel, ndị na-egbubeghị ikpere ha n'ala nye Baal, maọbụ sutu ya
ọnụ, ife ya ofufe."

### *Ọkpụkpọ Ịlaisha*

19 Ịlaịja sitere n'ebe ahụ pụọ gaa chọta Ịlaisha nwa Shafat ebe ọ nọ na-akọ ala ubi.
Iri ehi abụọ na anọ e jikọtara abụọ abụọ dị ya n'ihu, ma ya onwe ya ji ehi abụọ e
jikọtara ọnụ, nke iri na abụọ ya na-akọ ala ubi. Ịlaịja jekwuru Ịlaisha wụkwasị ya
uwe mwụda ya n'ubu ya. 20 Mgbe ahụ, Ịlaisha hapụrụ ehi ndị ahụ ebe ha guzoro
n'ubi ahụ gbara ọsọ gbakwuru Ịlaịja sị ya, "Biko, kwere ka m gaa sutu nna m na nne
m ọnụ, sị ha nọdụ nke ọma. Emesịa, aga m esokwa gị."

Ịlaịja zara sị ya, "Laghachi azụ, ọ bụ gịnị ka m mere gị?"

21 Ịlaisha laghachiri azụ, gbuo ehi abụọ ahụ e jikọtara n'otu, kpọọ ihe ahụ e ji arụ
ọrụ n'ubi ọkụ, were ha sie anụ ahụ nye ndị mmadụ, ha rie. Mgbe ahụ, o biliri ije
pụọ ga soro Ịlaịja, bụrụ nwaodibo ya.

# 20

### *Ben-Hadad ebuso Sameria agha*

1 Ugbu a, Ben-Hadad, bụ eze ndị Aram, chịkọtara ndị agha ya niile. Iri ndị eze atọ
na abụọ sonyere ya, ha na ịnyịnya ha na ụgbọ agha ha. Ọ rịgooro nọchibido obodo
Sameria buso ya agha. 2 Mgbe ahụ, eze ndị Siria zigaara Ehab, eze Izrel ozi n'ime
obodo sị ya, "otu a ka Ben-Hadad sịrị, 3 'Ọlaọcha na ọlaedo gị, nkem ka ha bụ, ndị
nwunye gị na ụmụ gị, bụ ndị dị mma karịsịa nke m ka ha bụ.' "

4 Ehab eze Izrel, zighachiri ozi sị, "Ọ dị mma, onyenwe m, mụ onwe m, na ihe niile
m nwere bụ nke gị."

5 Ngwangwa ndị ozi Ben-Hadad bịaghachiri zie Ehab ozi ọzọ sị ya, "Otu a ka Ben-
Hadad sịrị, 'Ọ bụ ezie na m ziteere gị ozi, sị, ọlaọcha gị na ọlaedo gị na ndị nwunye
gị na ụmụ gị ka ị ga-enye m. 6 Ma ugbu a, n'oge dị ka nke a, echi, aga m ezite ndị
ozi m ka ha bịa nyochaa ụlọ gị niile na ụlọ ndị ozi gị niile. Ihe ọbụla dị oke ọnụahịa
n'anya gị ka ha ga-ewere.' "

7 Eze Izrel kpọrọ ndị okenye niile nke ala ahụ, sị ha, "Leenụ ugbu a, hụkwanụ otu
nwoke a si achọ nsogbu. Mgbe o zitere m ozi inye ya ndị nwunye m, na ụmụ, na
ọlaọcha m na ọlaedo m, ekwenyere m ya inye ya ihe ndị a."

8 Ndị okenye na ndị Izrel zara sị ya, "Aṅala ya ntị! Enyela ya ihe ọbụla."

---

[†] **19:13** 19:13 Ịlaịja kpuchiri ihu ya, n'ihi na o nweghị onye ọbụla ga-adị ndụ, ma ọ hụ ihu Chineke. Ọpụ 3:6; Aịz 6:2

9 Mgbe ahụ, ọ sịrị ndị ozi Ben-Hadad, “Gwanụ onyenwe m, bụ eze, ‘M bụ odibo gị
jikeere ime ihe niile ị buru ụzọ kwuo na m ga-enye gị. Ma ekwenyeghị m n’ozi nke
ugboro abụọ a.’ ” Ndị ozi ahụ laghachiri kọọrọ Ben-Hadad ihe niile Ehab kwuru.
10 Ma Ben-Hadad zigakwaara Ehab ozi ọzọ sị, “Ka chi ndị a mesoo m mmeso,* otu
ọbụla mmeso ahụ si dị njọ, ma ọ bụrụ na aja Sameria ga-afọdụ inye onye ọbụla n’etiti
ndị ikom m otu njuaka.”
11 Ma eze Izrel zaghachiri, “Gwa ya, ‘Onye na-ebu agha na-anya isi naanị mgbe a
lụchara agha, ọ bụghị tupu a lụọ agha.’ ”
12 Ben-Hadad nụrụ ozi Ehab ziri mgbe ya na ndị eze ndị ọzọ ahụ nọ na-aṅụ mmanya
n’ụlọ ikwu ha manyere n’ọgbọ agha ahụ. Ben-Hadad nyere ndị agha ya iwu sị ha,
“Jikerenụ, buso ndị Izrel agha.” Ya mere, ha kwadoro ibuso obodo ahụ agha.

### *Ehab emerie Ben-Hadad*

13 N’oge a, otu onye amụma bịakwutere Ehab, bụ eze Izrel sị, “Otu a ka ONYENWE
ANYỊ sịrị, ‘Ị hụrụ oke igwe ndị agha a? Aga m enyefe ha n’aka gị taa, mgbe ahụ ị
ga-amatakwa na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.’ ”†
14 Ma Ehab jụrụ sị, “Onye ga-eme nke a?”
Onye amụma zara, “Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, ‘Ọ bụ ụmụ okorobịa bụ
ndịisi agha nọ n’okpuru ndị ọchịagha na-achị akụkụ ala Izrel.’ ”
Ehab jụkwara ọzọ, “Onye ga-amalite agha a?”
Onye amụma ahụ zara, “Gị onwe gị.”
15 Mgbe ahụ, Ehab kpọkọtara ụmụ okorobịa bụ ndịisi agha si n’akụkụ obodo ya.
Ọnụọgụgụ ha dị narị abụọ na iri atọ na mmadụ abụọ. Ọnụọgụgụ ndị agha Izrel
ndị ọzọ dị puku asaa. 16 N’etiti ehihie, mgbe Ben-Hadad na iri ndị eze atọ na abụọ
ahụ, bụ ndị ahụ bịara inyere ya aka nọ na-aṅụ mmanya, na-aṅụbiga ya oke, 17 ụmụ
okorobịa, bụ ndị agha, ndị nọ n’okpuru ndị ọchịagha na-achị akụkụ ala Izrel buru
ụzọ pụọ ibu agha.
Ma Ben-Hadad, n’onwe ya ezipụlarị ndị nledo, ndị lọghachiri bịa gwa ya sị, “Ndị
agha si Sameria na-abịa.”
18 Ọ sịrị, “Ọ bụrụ na ha abịa n’ihi udo, jidenụ ha na ndụ; ọ bụrụ na ha bịara maka
ibu agha, jidenụ ha na ndụ!”
19 Ma ụmụ okorobịa ndị ọchịchị a bụ ndị nọ n’okpuru ndịisi, na-achị akụkụ ala
ahụ sitere n’obodo zọlie ije ebe ndị agha so ha n’azụ, pụọ ibu agha. 20 Onye ọbụla
n’ime ha gburu onye agha Siria ọbụla lụsoro ya ọgụ. Nke a mere ka ndị agha Siria
gbapụ ọsọ, ndị agha Izrel chụsokwara ha. Ma Ben-Hadad, eze Aram, na ndị agha
na-agba ịnyịnya, sitekwara n’ihu ọgbọ agha ahụ gbapụkwa ọsọ. 21 Ma eze ndị Izrel
pụkwuru ya, nwude ọtụtụ ịnyịnya na ụgbọ agha, butere ndị Aram ọghọm dị ukwuu.
22 Emesịa, onye amụma ahụ bịakwutere eze Izrel sị ya, “Mee onwe gị ka ị dị ike
nke ọma, mara ihe e kwesiri ka e mee, n’ihi n’etiti ọkọchị na udu mmiri nke afọ
n’abịa, eze Aram ga-abịa ibuso gị agha ọzọ.”
23 Ma otu ọ dị, ndịisi agha eze ndị Aram dụrụ ya ọdụ sị, “Chi ha bụ chi ugwu.
N’ihi ya ka ha ji dị ike karịa anyị. Ma ọ bụrụ na anyị ebuso ha agha n’obosara ala
dị larịị, anyị aghaghị ịdị ike karịa ha. 24 Mee ihe a, wepụ ndị eze a niile site n’ebe
ha nọ, jiri ndị na-achị ala gbanwee ha. 25 Kpọkọtaakwa ndị agha ọzọ, ndị dị ukwuu
n’ọnụọgụgụ, dịka ndị agha i du gaa agha na mbụ. Nyekwa anyị ịnyịnya na ụgbọ
agha ga-ezuru anyị. Anyị ga-apụkwa buso ndị Izrel agha n’obosara ala dị larịị. Ọ
dịkwaghị ihe ga-egbochi anyị imeri ha n’oge a.” Ben-Hadad, eze Aram, kwenyere,
meere ha dịka ha rịọrọ ya.

* **20:10** 20:10 1Ez 19:2; 2Ez 6:31 † **20:13** 20:13 1Ez 20:28

26 Mgbe otu afọ gasịrị, Ben-Hadad chịkọtakwara ndị Aram niile duru ha gaa Afek
ibuso Izrel agha. 27 Mgbe a kpọkọtara ndị agha niile nọ n'Izrel nye ha ngwa agha, ha
pụrụ izute ha. Ndị agha Izrel mara ụlọ ikwu ha na ncherita ihu ndị agha Siria, dịka
igwe ewu nta abụọ, ebe ndị Aram jupụtara ala ahụ niile.
28 Onye nke Chineke bịara gwa eze ndị Izrel, "Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị, 'N'ihi
na ndị Aram na-eche na ONYENWE ANYỊ bụ chi nke ugwu, na ọ bụghị chi ala
ndagwurugwu, aga m arara igwe ndị agha a nyefee gị n'aka, ka gị na ndị gị mata
n'eziokwu na m bụ ONYENWE ANYỊ.' "
29 Ọ bụ ụbọchị asaa ka ha mara ụlọ ikwu ha na ncherita ihu ibe ha. Ma n'ụbọchị
nke asaa ahụ, ndị agha malitere ibu agha. Ndị Izrel merụrụ narị puku ndị agha
Aram ahụ n'otu ụbọchị. 30 Ma ndị fọdụrụ n'etiti ndị agha Aram gbapụrụ ọsọ gbalaga
n'obodo Afek. Ebe ahụ ka mgbidi obodo Afek nọ dagbuo iri puku ndị agha abụọ na
asaa n'ime ha. Ma Ben-Hadad n'onwe ya gbalagara, gbaba n'ime obodo ahụ, gaa zoo
onwe ya n'ime ime otu ụlọ.
31 Mgbe ahụ, ndịisi agha ya bịakwutere ya sị ya, "Lee, anyị nụrụ na ndị eze Izrel
bụ ndị obi ebere. Ka anyị yiri akwa mkpe n'ukwu anyị, kee ụdọ n'olu anyị, gaa rịọọ
eze Izrel. Ma eleghị anya ọ ga-edebe gị ndụ."
32 Ya mere, ha yikwasịrị onwe ha akwa mkpe, nyarakwa ụdọ n'olu ha, jekwuru eze
Izrel sị ya, "Ohu gị bụ Ben-Hadad na-asị, 'Biko, kwee ka m dịrị ndụ.' "

Eze jụrụ ha sị, "Ọ bụ ezie na ọ ka dị ndụ ugbu a? Nwanne m ka ọ bụ."
33 Okwu a mere ka ndị ozi eze Aram nwee olileanya. Ha mere ngwangwa
kwughariakwa ihe ahụ o kwuru. Ha sịrị, "E, Nwanne gị bụ Ben-Hadad."

Mgbe ahụ, eze Ehab nyere ha iwu sị, "Gaanụ kpọpụta ya, dutekwanụ ya n'ebe a."
Mgbe Ben-Hadad bịara, Ehab mere ka ọ rigota n'ụgbọ agha nke ya.
34 Mgbe ahụ, Ben-Hadad gwara Ehab sị, "Obodo niile nke nna m naara nna gị, ka
m ga-enyeghachi gị. I nwere ike iwuru onwe gị ọdụ ahịa n'ama obodo Damaskọs
dịka nna m wuru n'ime Sameria."

Ehab kwuru, "Ọ bụrụ na anyị agbaa ndụ, aga m eme ka i nwere onwe gị." Ya mere,
ha abụọ gbara ndụ. Ehab hapụkwara ya ka ọ laa n'udo.

### *Onye amụma amaa Ehab ikpe*

35 Emesịa, okwu ONYENWE ANYỊ rutere otu onye n'etiti ụmụ ndị amụma. Ọ gwara
otu nwoke n'ime ụmụ ndị amụma ahụ nọ ya nso sị ya, "Jiri ngwa agha dị gị n'aka
tie m ihe." Ma nwoke ahụ jụrụ ime ihe onye amụma ahụ kwuru.
36 N'ihi nke a, onye amụma gwara nwoke ahụ okwu sị, "Ebe ọ bụ na ị jụrụ ime
ihe ONYENWE ANYỊ nyere n'iwu, lee ihe ga-adakwasị gị. Mgbe i si n'ebe a na-ala n'ụlọ
gị, ọdụm ga-ezute gị n'ụzọ dọgbuo gị." Amụma a mezukwara, n'ihi na mgbe nwoke
ahụ tụgharịrị si n'ebe ahụ na-ala, ọdụm lụsoro ya ọgụ n'ụzọ gbuo ya.‡
37 Onye amụma ahụ pụkwara chọta onye ọzọ sị ya, "Biko, tie m ihe." Nwoke ahụ
tiri ya ihe tihịa ya ahụ. 38 Mgbe ahụ, onye amụma ahụ e tiri ihe jiri akwa kechie ihu
ya, ka mmadụ ọbụla ghara ịmata onye ọ bụ. Ọ pụrụ gaa guzo n'akụkụ ụzọ ebe eze
Izrel ga-esi gafee. 39 Mgbe eze na-agafe, onye amụma ahụ tiri mkpu sị, "Onyenwe m,
biko gee m ntị. Lee, otu onye agha bịakwutere m mgbe m nọ n'ihu agha sị m, 'Lee
nwoke a a dọtara n'agha; chee ya nche. Ekwekwala ka ọ gbanarị gị. N'ihi na ọ bụrụ
na o site n'aka gị gbapụ,§ ị ga-anwụ, maọbụ i jiri otu talenti ọlaọcha gbara isi gị.'
40 Ma mgbe m nọ na-arụ ọrụ ọzọ, nwoke ahụ a dọtara n'agha gbapụrụ. Ahụkwaghị
m ya anya ọzọ."

Mgbe ahụ, eze Izrel zara sị ya, "I jirila ọnụ gị maa onwe gị ikpe. Ị ghaghị ịnata
ahụhụ dịrị gị."

‡ **20:36** 20:36 1Ez 13:24. § **20:39** 20:39 2Ez 10:24

41 Mgbe ahụ, onye amụma ahụ mere ngwangwa wepụ akwa ahụ o ji kechie anya
ya abụọ. Eze Izrel matakwara na ọ bụ otu onye n'ime ndị amụma. 42 Onye amụma
ahụ gwara eze okwu sị ya, "Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, 'Ebe i mere ka nwoke a
laa, bụ onye m nyere gị n'aka ime ka ọ nwụọ, ugbu a, ị ghaghị ịnwụ n'ọnọdụ ya. A
ga-alakwa ndị gị n'iyi, n'ọnọdụ ndị nke ya.' " 43 N'ihi okwu a, eze Izrel ji iwe na ihu
mgbarụ laa n'ụlọ ya dị na Sameria.

# 21

*Ubi Nebọt*

1 Mgbe nwa oge nta gasịrị, Nebọt, onye Jezril, nwere ubi vaịnị dị na Jezril, n'akụkụ
ụlọeze Ehab bụ eze Sameria.* 2 Ehab sịrị Nebọt, "Nye m ubi vaịnị gị ka ọ bụrụ ubi
a gbara ogige, ebe m ga-akụ akwụkwọ nri, ebe ọ dị nso n'ụlọeze m. Aga m enye gị
ubi vaịnị ọzọ dị mma karịa ya, ma ọ bụrụkwa na ị chọrọ, aga m akwụ gị ego ọbụla
o ruru n'ọnụ ahịa ya."
3 Ma Nebọt zara sị Ehab, "Ala a bụ ihe nketa ruuru m site n'aka nna nna m ha. M
ga-esi aṅaa nye gị ya. ONYENWE ANYỊ ekwela na m ga-ewere ihe nketa nke nna nna
m ha nye gị."
4 Ehab jiri obi ụfụ na ihu mgbarụ laa n'ụlọ ya n'ihi okwu a Nebọt, onye Jezril gwara
ya, sị, "Agaghị m enye gị ihe nketa nna nna m ha." O dinara n'ihe ndina ya, chee ihu
ya n'aja ụlọ, jụ iri ihe ọbụla.
5 Ma nwunye ya bụ Jezebel, bịakwutere ya jụọ ya sị, "Gịnị mere i ji jụ iri ihe? Gịnị
mere i ji nọgide n'obi ọjọọ na iwe?"
6 Ehab zara sị ya, "Agwara m Nebọt, nwoke onye Jezril okwu sị ya, 'Resi m ubi
vaịnị gị, ma ọ bụrụ na ị chọrọ, aga m enye gị ala ubi ọzọ mara mma n'ọnọdụ ya.'
Ma ọ jụrụ jụwaa isi inye m ubi ahụ."
7 Mgbe ahụ, nwunye ya Jezebel jụrụ ya ajụjụ sị ya, "Ọ bụghị gị bụ eze na-achị Izrel?
Bilie, rie nri, enyela obi gị nsogbu, n'ihi na aga m enyefe gị ubi vaịnị Nebọt onye Jezril
n'aka."
8 Ya mere, Jezebel dere akwụkwọ n'aha Ehab, were mgbaaka akara eze kaa
n'akwụkwọ ndị ahụ, zigara ha ndị okenye obodo na ndị a na-asọpụrụ bi n'obodo
ebe Nebọt bi. 9 N'ime akwụkwọ ozi ndị a, o dere sị,

> "Nyenụ iwu ka mmadụ niile buo ọnụ. Kpọkọtaanụ ndị Jezril niile, ka ha zukọta.
> Mgbe unu zukọrọ, nyenụ Nebọt ọnọdụ n'oche dị mkpa. 10 Họpụtanụ ndị ikom
> abụọ, ndị na-abaghị uru ka ha pụta n'ihu nzukọ unu guzo gbaa ama ụgha megide
> Nebọt sị na ha nụrụ mgbe ọ kọchara Chineke na eze.† Maanụ ya ikpe ọnwụ, kpụpụ
> ya n'azụ obodo, jiri nkume tugbuo ya, ka ọ nwụọ."

11 Ndị okenye na ndị a na-asọpụrụ ndị bi n'obodo ahụ mere dịka Jezebel nyere
n'iwu n'akwụkwọ ahụ o degaara ha. 12 Ha nyere iwu maka ibu ọnụ, kpọọkwa nzukọ
ndị obodo ahụ niile, meekwa ka Nebọt nọdụ n'oche dị mkpa. 13 Mgbe ahụ, ndị
ikom abụọ na-abaghị uru pụtakwara, nọdụ na ncherita ihu ya, ha gbara ama ụgha
megide Nebọt, n'ihu ndị mmadụ, sị, "Nebọt kọchara Chineke na eze." N'ihi nke a,
ha dọkpụụrụ ya gaa n'azụ obodo jiri nkume tugbuo ya. 14 Emesịa, ndị okenye na ndị
a maara aha ha nke obodo Jezril, ziri ozi zigara Jezebel gwa ya na Nebọt anwụọla.
15 Ngwangwa Jezebel natara ozi na a tụgbola Nebọt, ọ sịrị Ehab, "Bilie, gaa nwetara
onwe gị ubi vaịnị Nebọt, nwoke onye Jezril. Ubi ahụ ọ jụrụ inye gị n'ego abụrụla nke
gị ugbu a n'ihi na Nebọt anwụọla. Ọ dịkwaghị ndụ ọzọ!" 16 Mgbe Ehab nụrụ na Nebọt
anwụọla, o biliri pụọ, gaa ịbanye n'ubi ahụ, inwetara onwe ya ubi vaịnị Nebọt, onye
Jezril.

---

* **21:1** 21:1 Sameria bụ isi obodo alaeze ugwu ugwu, ya mere ọ na-anọchite anya alaeze ahụ n'ebe a. 1Ez 16:24
† **21:10** 21:10 Ị kọchaa Chineke na eze Ọpụ 22:28; Lev 24:15-16; Ọrụ 6:11

17 Ma okwu ONYENWE ANYỊ rutere Ịlaịja, onye Tishbe, sị ya, 18 "Bilie, gaa zute Ehab,
eze Izrel onye bi na Sameria. Ọ nọ ugbu a n'ime ubi vaịnị Nebọt inwetara ya onwe
ya. 19 Gwa ya sị ya, 'Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru: I gbuola ọchụ mmadụ si otu
a nwetara onwe gị ihe nketa? Ebe ahụ nkịta nọ rachaa ọbara Nebọt ka ha ga-anọ
rachaakwa ọbara gị. E, ọbara gị onwe gị.' "
20 Mgbe ahụ, Ehab jụrụ Ịlaịja ajụjụ sị ya, "Onye iro m, ị chọrọkwala m bịa?"
Ịlaịja zara sị ya, "E, achọrọla m gị bịa n'ihi nnyefe i nyefere onwe gị ime ihe dị njọ
n'anya ONYENWE ANYỊ. 21 Ọ sịrị, 'Aga m eme ka ihe ọjọọ dakwasị gị. Aga m ekpochapụ
ndị agbụrụ gị, site n'ezinaụlọ Ehab bipụ nwoke ọbụla, maọbụ ohu maọbụ onyenwe
onwe ya n'Izrel. 22 Aga m eme ka ụlọ gị dịrị ka nke Jeroboam nwa Nebat, na dịka
nke Baasha nwa Ahija, n'ihi na ị kpasuola m iwe, meekwa ka Izrel mehie.'
23 "Ma banyere Jezebel, ONYENWE ANYỊ sịrị, 'Ụmụ nkịta ga-eri anụ ahụ Jezebel
n'akụkụ mgbidi aja ụlọ dị n'obodo Jezril.'
24 "Nkịta ga-eri anụ onye ọbụla si n'ezinaụlọ Ehab nke nwụrụ n'ime obodo, ma
anụ ufe nke eluigwe ga-eri anụ ndị ọbụla nwụrụ n'ọhịa."
25 (N'ezie, o nweghị onye ọbụla ọzọ dị ka Ehab, onye rere onwe ya nye ime ihe ọjọọ
dị ukwuu n'anya ONYENWE ANYỊ, onye Jezebel nwunye ya kwagidere ime ihe ọjọọ dị
iche iche. 26 Ehab bụ onye mere mmehie dị oke njọ nke ịgbaso na ife arụsị dị iche
iche ofufe dịka ndị Amọrait‡ mere, bụ ndị ahụ ONYENWE ANYỊ sitere n'ala a chụpụ
ime ka ndị Izrel nweta ala ha.)
27 Mgbe Ehab nụrụ okwu amụma ndị a, ọ dọwara uwe ya, yikwasị onwe ya akwa
mkpe, buo ọnụ, dinaa n'akwa mkpe ahụ, jegharịakwa n'ịdị umeala.
28 Ma okwu ONYENWE ANYỊ rutere Ịlaịja, onye Tishbe ọzọ, sị ya, 29 "Ị hụrụ otu Ehab
si weda onwe ya ala n'ihu m? N'ihi ihe a o mere, iweda onwe ya ala n'ihu m, agaghị
m eme ka ihe ọjọọ ndị a m kwuru okwu banyere ha rute ya n'oge ọ dị ndụ. Kama
aga m eme ka ihe ndị a dakwasị ezinaụlọ ya mgbe nwa ya ga-achị dịka eze."

# 22

*Amụma Mikaya megide Ehab*

1 Agha ọzọ adaghị n'etiti Aram na Izrel afọ atọ. 2 Ma n'afọ nke atọ, Jehoshafat, eze
Juda, gara ileta Ehab eze Izrel. 3 Eze Izrel sịrị ndị ozi ya, "Unu amaghị na ala Ramọt
Gilead bụ nke anyị, ma lee na anyị gbara nkịtị ịga napụta ya site n'aka eze Aram?"
4 Ya mere, ọ jụrụ Jehoshafat, "Ị ga-eso m gaa buso Ramọt Gilead agha?"
Jehoshafat zaghachiri eze Izrel, sị, "Otu m dị ka gị onwe gị dị, ndị m bụkwa ndị gị,
ịnyịnya m bụkwa nke gị." 5 Ma Jehoshafat gwakwara eze Izrel, sị, "Buru ụzọ chọpụta
ihe bụ ntụziaka ONYENWE ANYỊ."
6 Ya mere, eze Izrel kpọkọtara ndị amụma, ọnụọgụgụ ha ruru narị ndị ikom anọ,
jụọ ha sị, "Ọ bụ m gaa buso Ramọt Gilead agha, ka ọ bụ m hapụ ịga?"
Ha zara, "Gaa, n'ihi na Onyenwe anyị ga-enyefe ha n'aka eze."
7 Ma Jehoshafat jụrụ, "Ọ bụ na e nwekwaghị onye amụma ONYENWE ANYỊ nọ n'ebe
a, onye anyị nwere ike ịjụta ase n'aka ya?"
8 Eze Izrel zaghachiri Jehoshafat, sị, "A ka nwere otu onye amụma, onye anyị nwere
ike isite n'aka ya jụọ ONYENWE ANYỊ ase, ọ bụ Maikaya nwa Imla,* ma akpọrọ m ya
asị, n'ihi na o nweghị oge ọ na-ebu amụma ihe ọma n'ebe m nọ, kama ọ bụ naanị
nke ọjọọ."
Jehoshafat sịrị, "Eze ekwesighị ikwu okwu dị otu a."

‡ **21:26** 21:26 Aha a, ka e ji mara ndị biri n'ala ahụ Chineke kwere Ebraham na nkwa tupu ụmụ Izrel a bịa bichie na ya. Jen 15:16; Ọpụ 23:23; Dit 1:7-8; 2Ez 21:11 * **22:8** 22:8 Nke a, abụghị onye dere akwụkwọ Maika, nke bụ otu akwụkwọ n'ime akwụkwọ nsọ

9 Mgbe ahụ, eze Izrel kpọrọ otu onye na-ejere ya ozi sị ya, “Mee ọsịịsọ kpọta
Maikaya nwa Imla n’ebe a.”
10 Ehab eze Izrel na Jehoshafat eze Juda, onye ọbụla yi uwe eze ya, na-anọkwasị
n’ocheeze ya n’ebe ịzọcha ọka n’ọnụ ụzọ ama e si abata obodo Sameria. Ndị amụma
ahụ niile nọkwa na-ebu amụma n’ihu ha. 11 Zedekaya nwa Kenaana, mere mpi igwe,
ọ kwupụtara sị, “Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ na-ekwu, ‘Ihe ndị a ka ị ga-eji sọgide
ndị Aram, ruo mgbe a ga-ala ha n’iyi.’ ”
12 Ndị amụma ndị ọzọ niile na-ebu otu ihe ahụ n’amụma, na-asị, “Gaa, busoo Ramọt
Gilead agha, ị ga-enwekwa mmeri, n’ihi na ONYENWE ANYỊ ga-enyefe ya n’aka eze.”
13 Onyeozi ahụ nke gara ịkpọ Maikaya sịrị ya, “Lee, ndị amụma ndị ọzọ na-agụpụghị
onye ọbụla na-ebu amụma ọganihu nye eze. Mee ka okwu gị na ha dakọta. Kwuokwa
ihe ga-adị eze mma.”
14 Ma Maikaya sịrị, “Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, aga m agwa ya naanị ihe
ONYENWE ANYỊ gwara m.”†
15 Mgbe ọ bịarutere, eze jụrụ ya, “Maikaya, ọ bụ anyị gaa buso Ramọt Gilead agha,
ka ọ bụ anyị hapụ?”
Ọ zara, “Gaa, ma nwekwa mmeri, n’ihi na ONYENWE ANYỊ ga-enyefe ya n’aka eze.”
16 Eze sịrị ya, “Ugboro ole ka m ga-eme ka ị ṅụọ iyi na ị gaghị agwa m ihe ọzọ,
karịa naanị eziokwu n’aha ONYENWE ANYỊ?”
17 Mgbe ahụ Mikaya zara, “Ahụrụ m Izrel niile ka ha gbasasịrị n’elu ọtụtụ ugwu
dịka atụrụ na-enweghị onye ọzụzụ atụrụ, ma ONYENWE ANYỊ sịrị, ‘Ndị a enweghị
onyendu. Ka onye ọbụla laghachi n’ụlọ ya n’udo.’ ”
18 Eze Izrel, sịrị Jehoshafat, “Ọ bụ na m agwaghị gị na ọ dịghị mgbe ọ na-ebu amụma
ihe ọma banyere m, kama naanị ihe ọjọọ?”
19 Mikaya gara n’ihu, sị, “Ya mere, nụrụnụ okwu ONYENWE ANYỊ. Ahụrụ m ONYENWE
ANYỊ ka ọ nọkwasịrị n’ocheeze ya, hụkwa usuu nke eluigwe ka ha na-eguzo n’akụkụ
ya, n’aka nri ya nakwa n’aka ekpe ya. 20 ONYENWE ANYỊ sịrị, ‘Onye ga-aga rafuo Ehab
ka ọ gaa buso Ramọt Gilead agha, gaa nwụọ n’ebe ahụ?’
“Otu onye tụpụtara aro nke a, ebe onye ọzọ tụpụtara nke ọzọ. 21 N’ikpeazụ otu
mmụọ pụtara, guzo n’ihu ONYENWE ANYỊ sị, ‘Mụ onwe m ga-arafu ya.’
22 “ ‘ONYENWE ANYỊ jụrụ sị, Olee otu ị ga-esi mee nke a?’
“ ‘Aga m apụ gaa bụrụ mmụọ nrafu n’ọnụ ndị amụma ya niile,’ ka ọ zara.
“ONYENWE ANYỊ sịrị, ‘Ị ga-enwe ike ịrafu ya. Gaa mee otu a.’
23 “Ma ugbu a, ONYENWE ANYỊ etinyela mmụọ okwu ụgha n’ọnụ ndị amụma gị niile
ndị a. ONYENWE ANYỊ ekwubiela n’ihe ọjọọ ga-adakwasị gị.”
24 Mgbe ahụ, Zedekaya nwa Kenaana, gara nso, maa Maikaya aka na nti, jụọ ya,
“Olee ụzọ ka mmụọ ahụ sitere na ONYENWE ANYỊ gara, mgbe ọ hapụrụ m bịa ịgwa gị
okwu?”
25 Maikaya zaghachiri, “Ị ga-achọpụta nke a n’ụbọchị ị ga-agbaba n’ime ime ụlọ
izo onwe gị.”
26 Mgbe ahụ, eze Izrel nyere iwu sị, “Jidenụ Maikaya kpụgara ya Amọn onye na-
achị obodo a, na Joash nwa eze 27 ị ga-asịkwa, ‘Otu a ka eze sịrị: Tinye nwoke a n’ụlọ
mkpọrọ, nye ya naanị achịcha na mmiri ọṅụṅụ tutu ruo mgbe m lọghachiri n’udo.’ ”
28 Maikaya kwupụtara sị, “Ọ bụrụ na ị lọghachi n’udo, ọ pụtara na ọ bụghị
ONYENWE ANYỊ si n’ọnụ m kwuo okwu.” O kwukwara sị, “Unu niile hụbakwanụ
okwu m ndị a niile ama!”

### *Ehab anwụọ na Ramọt Gilead*

29 Ya mere, eze Izrel na Jehoshafat eze Juda, pụrụ gawa Ramọt Gilead. 30 Eze Izrel
gwara Jehoshafat, sị, “Aga m ejikere onwe m dịka m bụ onye ọzọ banye n’ọgbọ agha,

† **22:14** 22:14 Ọnụ 22:38; 24:13

ma gị onwe gị yiri uwe eze gị." Ya mere, eze Izrel nwogharịrị onwe ya ka onye ọzọ
baa n'ọgbọ agha.
31 Ma eze Aram enyelarị ndị ọchịagha ndị na-agba ụgbọ agha, ọnụọgụgụ ha dị
iri atọ na abụọ, iwu sị, "Unu ebusola onye ọbụla agha, maọbụ onye ukwu maọbụ
onye nta, karịakwa naanị eze Izrel." 32 Mgbe ndị ọchịagha, na-achị ụgbọ agha hụrụ
Jehoshafat, ha chere n'obi ha, "N'ezie, onye a bụ eze Izrel." N'ihi ya ha tụgharịrị
ibuso ya agha, ma Jehoshafat tiri mkpu, 33 ndị ọchịagha, na-achị ndị na-agba ụgbọ
agha hụrụ na ọ bụghị eze Izrel, ma kwụsị ịchụso ya.
34 Ma otu onye dọrọ ụta ya gbapụ ya na-ebughị onye ọbụla n'obi, gbata ya eze Izrel
n'etiti njikọ nke uwe agha ya.‡ Eze gwara onye ọkwọ ụgbọ agha ya, sị, "Tụgharịa, si
n'ebe a bupụ m, n'ihi na emerụọla m ahụ." 35 Agha ahụ siri ike n'ụbọchị ahụ niile,
e ji ihe mee ka eze kwụrụ ọtọ n'ime ụgbọ agha ya na-eche ndị Aram ihu. Ọbara si
n'ọnya ahụ sọjuru n'ala ụgbọ agha ahụ, ọ nwụrụ n'uhuruchi ụbọchị ahụ. 36 Mgbe
anyanwụ na-ada, e tiri mkpu nke gazuru n'ọgbọ agha ndị Izrel, sị, "Nwoke ọbụla laa
n'obodo ya, onye ọbụla laakwa n'ala nke aka ya!"
37 Ya mere, eze nwụrụ, e buta ozu ya n'obodo Sameria, ebe a nọ lie ya. 38 Ha sachara
ụgbọ agha ya n'ọdọ mmiri dị na Sameria (ebe ndị akwụna na-asa ahụ). Ụmụ nkịta
rachara ọbara ya, dịka okwu ONYENWE ANYỊ kwubiri.§
39 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Ehab na ihe niile o mere, ụlọeze
o wuru nke o ji ọdụ chọọ mma, na obodo niile o wusiri ike, ọ bụ na e deghị ha
n'akwụkwọ akụkọ ihe mere n'oge ndị eze Izrel? 40 Ehab sooro ndị nna nna ya ha
dina n'ọnwụ. Ahazaya nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ.

### *Jehoshafat, eze Juda*

41 Jehoshafat nwa Asa ghọrọ eze Juda, n'afọ nke anọ, nke ọchịchị Ehab eze Izrel.
42 Jehoshafat gbara iri afọ atọ na ise mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị iri afọ abụọ na
ise na Jerusalem. Aha nne ya bụ Azuba, nwa Shilhi. 43 N'ihe niile o jere ije n'ụzọ Asa
bụ nna ya, o sitekwaghị n'ime ha wezuga onwe ya, o mekwara ihe ziri ezi n'anya
ONYENWE ANYỊ. Naanị na o wezugaghị ebe dị elu niile, nke mere na ndị mmadụ
gara n'ihu na-achụ aja, na-esurekwa ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n'ebe ahụ niile.
44 Jehoshafat mere ka udo dị n'etiti ya na eze Izrel.
45 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Jehoshafat, ihe niile ndị ọ
rụpụtara, ike ọ kpara n'ọtụtụ agha nke o buru, ọ bụ na e deghị ha n'akwụkwọ
akụkọ ihe mere n'oge ndị eze Juda? 46 O kpochapụrụ ndị ikom akwụna ụlọ arụsị, bụ
ndị nke fọdụrụ, mgbe nna ya bụ Asa chịchara ọchịchị. 47 N'oge a, eze adịghị n'ala
Edọm, kama ọ bụ onye nnọchite anya eze bụ onye na-achị.
48 Jehoshafat wuuru ọtụtụ ụgbọ mmiri eji azụ ahịa, maka ije n'ala Ọfịa ịga bute
ọlaedo ma ụgbọ mmiri ndị a agaghị ebe ọbụla, n'ihi na ha mikpuru n'Eziọn Geba.
49 N'oge ahụ, Ahazaya nwa Ehab sịrị Jehoshafat, "Kwere ka ndị ikom m soro ndị ọrụ
gị n'ụgbọ gị," ma Jehoshafat ekweghị.
50 Mgbe ahụ, Jehoshafat sooro nna nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya n'ebe e liri ha
n'obodo Devid, nna ya. Jehoram nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

### *Ahazaya, eze Izrel*

51 Ahazaya nwa Ehab, malitere ịbụ eze Izrel na Sameria, n'afọ iri na asaa nke
ọchịchị Jehoshafat, eze Juda. Ma ọ chịrị Izrel naanị afọ abụọ. 52 O mere ihe dị njọ
n'anya ONYENWE ANYỊ, n'ihi na o sooro ụzọ ọjọọ niile nke nna na nne ya, na ụzọ ọjọọ
nke Jeroboam nwa Nebat, onye mere ka Izrel mee mmehie. 53 Ọ fekwara arụsị Baal

‡ **22:34** 22:34 Eleghị anya ebe uwe agha ya na-ekpuchiteghị § **22:38** 22:38 1Ez 21:19

ofufe, kpọọkwa isiala nye ya, si otu a kpasuo ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel iwe, dịka nna ya mere.

# 2 Ndị Eze

*Ikpe ọmụma dịrị Ahazaya*

1 Moab nupuru isi megide Izrel mgbe Ehab nwụrụ. 2 N’oge a, Ahazaya sitere na
mgbe ụlọ elu ya dị na Sameria daa, merụọ ahụ nke ukwuu. N’ihi ọrịa a, o zigara ndị
ozi, sị ha, “Gaa jụta ase n’aka Baal-Zebub,* bụ chi Ekrọn, ma m ga-adịrị site n’ihe
mmerụ ahụ a.”
3 Ma mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ gwara Ịlaịja onye Tishbe okwu sị ya, “Gaa zute ndị
ozi eze Sameria zipụrụ, jụọ ha sị, ‘Gịnị mere unu ji aga Ekrọn ịjụ ase? Ọ bụ na
Chineke anọghị n’Izrel mere unu ji aga ịjụ Baal-Zebub ase ịmata ma eze ọ ga-adị
ndụ?’ 4 N’ihi nke a, otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, ‘Ị gaghị esite n’elu ihe ndina ahụ
bilie. Ị ghaghị ịnwụ!’ ” Ya mere Ịlaịja pụrụ gaa zie ndị ozi eze ozi ahụ.
5 Ndị ozi ahụ laghachiri azụ. Ma mgbe eze hụrụ ha, ọ jụrụ ha sị, “Gịnị mere unu ji
lọghachi?”
6 Ha zara ya, “Otu nwoke zutere anyị n’ụzọ sị anyị, ‘Laghachi ga zie eze ahụ zitere
unu sị ya: “Ihe ndị a, ka ONYENWE ANYỊ kwuru, Ọ bụ n’ihi na Chineke anọghị n’Izrel
ka i ji zipụ ndị mmadụ ka ha gaa jụta ase site n’aka Baal-Zebub, chi ndị Ekrọn? N’ihi
nke a, ị gaghị esite n’ihe ndina gị bilie. Ya doo gị anya na ị ghaghị ịnwụ!” ’ ”
7 Eze jụrụ ha sị, “Onye bụ nwoke a zutere unu n’ụzọ gwa unu okwu ndị a? Olee
ụdị mmadụ ọ bụ?”
8 Ha zaghachiri ya, “Ọ bụ nwoke yi uwe e ji ajị anụ kpaa; o kere ihe okike akpụkpọ
anụ n’ukwu ya.”
Eze sịrị, “Ọ bụ Ịlaịja, onye amụma si Tishbe!”
9 Mgbe ahụ, eze zigara otu onyeisi agha ya, na iri ndị agha ise ka ha gaa jide Ịlaịja.
Mgbe ndị agha ahụ bịarutere hụ Ịlaịja ka ọ nọ ala n’elu ugwu, onyeisi agha ahụ
kpọrọ Ịlaịja sị ya, “Onye nke Chineke, eze sị gị, ‘rituo!’ ”
10 Ịlaịja zara sị ha, “Ọ bụrụ na m bụ onye nke Chineke dịka i kwuru, ka ọkụ si
n’eluigwe daa rechapụ gị na iri ndị a agha ise so gị.” Otu mgbe ahụ, ọkụ sitere
n’eluigwe daa rechapụ iri ndị agha ise ahụ na onyeisi ha.
11 Ọzọkwa, eze zigara otu onyeisi agha na iri ndị agha ise ọzọ ka ha gaa jide Ịlaịja.
Mgbe ha bịarutere hụ Ịlaịja, onyeisi agha ahụ kpọkuru ya sị ya, “Onye nke Chineke,
eze sị gị, ‘rituo, bịa ngwangwa!’ ”
12 Ịlaịja zara sị ya, “Ọ bụrụ na m bụ onye nke Chineke dịka i kwuru, ka ọkụ si
n’eluigwe daa rechapụ gị na iri ndị agha ise gị na ha so.” Ngwangwa, ọkụ Chineke si
n’eluigwe daa rechapụ ha.
13 Ọzọkwa, eze zigara otu onyeisi agha na iri ndị agha ise ọzọ ka ha gaa jide Ịlaịja.
Mgbe ndị agha a bịara hụ Ịlaịja, onyeisi agha ahụ rigoro n’elu ugwu gbuo ikpere
n’ala n’ihu Ịlaịja rịọọ ya amara sị ya, “Onye nke Chineke, biko, meere ohu gị na iri
ndị agha ise mụ na ha so ebere. 14 Lee, ọkụ esitela n’eluigwe rechapụ ndịisi agha
abụọ ahụ buru ụzọ, ha na ndị agha ha. Ugbu a, biko, arịọ m gị, chebe ndụ anyị.”
15 Mgbe ahụ, mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ gwara Ịlaịja okwu sị ya, “Atụla egwu! Soro
ya gaa!” Ya mere, Ịlaịja sooro onyeisi agha ahụ gaa n’ihu eze.
16 Mgbe Ịlaịja ruru n’ihu eze, ọ gwara eze okwu sị ya, “Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ
kwuru, ọ bụ n’ihi na Chineke anọghị n’Izrel ka i ji zipụ ndị ozi ka ha gaa jụta ase
site n’aka Baal-Zebub, chi ndị Ekrọn? Ebe ọ bụ na i mere ihe dị otu a, ị gaghị esite

* **1:2** 1:2 Baal-Zebub bụ aha ndị Kenan, nke pụtara eze mmụọ ọjọọ, maọbụ ekwensu. Beel-Zebub nke pụtara, eze ụmụ ijiji bụ aha ịkwa emo nye chi ndị Kenan a na-akpọ Baal-Zebub. Mat 10:25; 12:27

n'ihe ndina gị bilie. Ị ga-anwụrịrị!" 17 Ọ nwụrụ dịka okwu ONYENWE ANYỊ nke Ịlaịja
kwuru si dị.

N'ihi na Ahazaya enweghị nwa nwoke ọbụla, Jehoram† nọchiri anya ya dịka eze,
n'afọ nke abụọ nke ịbụ eze Jehoram nwa Jehoshafat, bụ eze Juda. 18 Akụkọ banyere
ịbụ eze nke Ahazaya, na ihe niile o mere, e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ndị eze Izrel?

# 2

*Ịlaịja alaa eluigwe*

1 O ruo mgbe ONYENWE ANYỊ chọrọ ị kpọrọ Ịlaịja laa n'eluigwe site n'oke ifufe, Ịlaịja
na Ịlaisha nọ n'ụzọ sitere Gilgal. 2 Ịlaịja sịrị Ịlaisha, "Nọdụ n'ebe a, n'ihi na ONYENWE
ANYỊ ziri m ozi ka m gaa Betel."*

Ma Ịlaisha zara sị ya, "Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, na dịka gị onwe gị nọkwa
na-adị ndụ, agaghị m ahapụ gị." Ya mere, ha abụọ sooro gaa Betel.

3 N'ebe ahụ, ụmụ okorobịa ndị amụma nọ na Betel pụtara zute ha abụọ. Ndị
amụma ahụ bịakwutere Ịlaisha sị ya, "Ị maara na ONYENWE ANYỊ ga-esi n'ebe ị nọ
wepụ onyenwe gị Ịlaịja taa?"

Ịlaisha sịrị, "Mụ onwe m maara, ma unu nọrọ nwayọọ."

4 Mgbe ahụ, Ịlaịja sịrị ya, "Ịlaisha, nọdụ n'ebe a, n'ihi na ONYENWE ANYỊ ziri m ozi
ka m gaa Jeriko."

Ma ọ zara, "Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, na dịka gị onwe gị nọkwa na-adị ndụ,
agaghị m ahapụ gị." Ya mere ha abụọ sokwaara ruo Jeriko.

5 Ndị otu ndị amụma nọ na Jeriko bịakwutere Ịlaisha nso jụọ ya, "Ị maara na
ONYENWE ANYỊ ga-ewepụ onyenwe gị taa?"

Ọ zara, "E, amaara m, ya mere nọọnụ nwayọọ."

6 Mgbe ahụ, Ịlaịja sịrị ya, "Nọdụ n'ebe a, n'ihi na ONYENWE ANYỊ ziri m ka m jee
Jọdan."

Ma ọ zara, "Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, na dịka gị onwe gị nọkwa na-adị ndụ,
agaghị m ahapụ gị." Ya mere, ha abụọ sooro na-eje.

7 Iri ndị amụma ise sitere n'etiti ndị amụma sooro ha guzoro n'ebe dị anya na
ncherita ihu ebe Ịlaịja na Ịlaisha kwụsịrị n'akụkụ Jọdan. 8 Mgbe ahụ, Ịlaịja chịịrị
uwe mwụda ya, pịakọtaa ya, tie ya n'elu osimiri ahụ. Mmiri ahụ kewara ụzọ abụọ,
ala akọrọ pụtakwara. N'ebe ahụ ka Ịlaịja na Ịlaisha si gafee n'ofe ọzọ nke osimiri
ahụ.

9 Mgbe ha abụọ gafesịrị, Ịlaịja jụrụ Ịlaisha ajụjụ sị ya, "Gịnị ka ị chọrọ ka m meere
gị tupu e site n'ebe ị nọ wepụ m?"

Ịlaisha rịọrọ sị ya, "Biko, mee ka m nweta ụdị mmụọ i nwere okpukpu abụọ."

10 Ịlaịja zara sị ya, "Ihe ị rịọrọ bụ ihe sịrị ike omume. Ọ bụrụ na ị hụ m mgbe a
na-ewepụ m site n'ebe ị nọ, ị ga-enweta ihe ị rịọrọ. Ma ọ bụrụ na ị hụghị m, ị gaghị
enweta ihe ị rịọrọ."

11 Mgbe ha na-aga n'ihu n'ije ha na-akparịta ụka, na mberede, ụgbọ ọkụ nke
ịnyịnya ọkụ na-adọkpụ pụtara ihe kewaa ha abụọ. Mgbe ahụ kwa oke ifufe buuru
Ịlaịja rigoro n'eluigwe. 12 Ịlaisha hụrụ ya, lelie anya elu tie mkpu akwa sị, "Nna m!
Nna m! Usuu ụgbọ agha na usuu ndị na-agba ịnyịnya Izrel!" Ọ hụkwaghị Ịlaịja anya
ọzọ. O jidere uwe o yi n'ahụ dọwaa ya ibe abụọ.

13 Emesịa, ọ chịlịri uwe mwụda Ịlaịja nke dapụrụ mgbe e weliri ya elu, laghachi
bịa guzo n'akụkụ osimiri Jọdan. 14 O tiri akwa ahụ† n'elu mmiri ahụ jụọ sị, "Olee

† **1:17** 1:17 Maọbụ, Joram dịka a na-akpọ ya mgbe ụfọdụ * **2:2** 2:2 Betel bụ obodo dị mkpa site n'oge nna nna ochie ndị Izrel. Rehoboam bụ eze wuru ebe ịchụ aja na Betel n'ụzọ ịma aka nye nke e wuru na Jerusalem. Jen 12:8; 22:10-22; 35:1-5; 1Ez 12:28-33 † **2:14** 2:14 Akwa ahụ Maọbụ, uwe mwụda Ịlaịja 2Ez 2:8.

ebe ONYENWE ANYỊ, Chineke Ịlaịja nọ?" Mgbe o tiri mmiri ahụ ihe, o kewakwara otu ụzọ n'aka nri nke ọzọ n'aka ekpe, Ịlaisha gafere n'ofe nke ọzọ.
15 Mgbe ndị amụma ahụ si Jeriko n'ele anya, hụrụ ihe mere, ha sịrị, "Mmụọ Ịlaịja adakwasịla Ịlaisha." Ha gara zute ya, kpọọ isiala n'ihu ya.
16 Ha sịrị ya "Lee, anyị bụ ndị ohu gị nwere iri ndị ikom ise ahụ siri ike. Kwere ka ha ga chọgharịa nna gị ukwu. Ma eleghị anya mmụọ ONYENWE ANYỊ eburula ya tụdakwa ya n'otu ugwu, maọbụ n'otu ndagwurugwu."

Ịlaisha zaghachiri, "Unu ezigala ha."
17 Ma mgbe ha nọgidere rịọsie ya arịrịọ ike, ruo mgbe o nwekwaghị ike igbochi ha. Ọ gwara ha sị, "Ọ dị mma, ziganụ mmadụ ka ha gaa chọọ ya." Ha zigara iri ndị ikom ise, ndị gara chọgharịa Ịlaịja ụbọchị atọ, ma ha achọtaghị ya.
18 Ịlaisha nọ na Jeriko mgbe ndị a lọghachiri bịa kọọrọ ya otu ha si gaa. Mgbe ahụ, ọ gwara ha sị, "Ọ bụ na m agwaghị unu sị unu ejela?"

### *Ezi mmiri ọṅụṅụ*

19 Ndị obodo ahụ sịrị Ịlaisha, "Lee, onyenwe anyị, obodo anyị dị n'ebe dị mma, dịka gị onwe gị na-ahụ, ma mmiri dị n'ime ya jọrọ njọ, ala ya adịghị amịpụta mkpụrụ dịka o kwesiri."
20 Ịlaisha zara sị ha, "Ọ dị mma, gaanụ tinye nnu n'ime efere ọhụrụ wetara m ya." Ha gara weta efere ọhụrụ nke nnu juru n'ime ya.
21 Ịlaisha buuru nnu ahụ gaa n'ebe mmiri ahụ si asọpụta, wụnye nnu ahụ n'ime ya. Mgbe ọ na-eme nke a, o kwuru okwu sị, "Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, 'Agwọọla m mmiri a. Ọnwụ maọbụ amịghị mkpụrụ nke ala agaghị adịkwa.' "
22 Site n'ụbọchị ahụ gaa n'ihu, mmiri ahụ dịịrị ọcha ruo taa, dịka Ịlaisha kwuru.

### *Nkọcha a kọchara Ịlaisha*

23 Emesịa, Ịlaisha sitere na Jeriko pụọ ịlaghachi Betel. Mgbe ọ na-aga n'ụzọ, ụfọdụ ụmụ okorobịa nta sitere n'ime obodo pụta, bidoro jiri ya na-eme ihe ọchị, sị ya, "Onyeisi nkwọcha, site n'ebe a pụọ! Onyeisi nkwọcha, site n'ebe a pụọ!"
24 Ịlaisha tụgharịrị lee ha anya, bụọ ha ọnụ n'aha ONYENWE ANYỊ. Otu mgbe ahụ, nne anụ ọhịa abụọ, a na-akpọ bịa, sitere n'ọhịa pụta, dọgbuo iri ụmụ okorobịa anọ na abụọ n'ime ha.
25 Emesịa, Ịlaisha sitere n'ebe ahụ pụọ jeruo n'ugwu Kamel. Emesịakwa, o sitere n'ebe ahụ laghachi na Sameria.‡

# 3

### *Nnupu isi Moab*

1 Jehoram nwa Ehab, malitere ịbụ eze ndị Izrel na Sameria n'afọ nke iri na asatọ nke ọchịchị Jehoshafat na Juda. Afọ iri na abụọ ka ọ chịrị dịka eze.
2 O mere ihe ọjọọ n'anya ONYENWE ANYỊ, ma ọ bụghị dịka nna ya na nne ya mere. O wezugara nkume ahụ e doro nsọ nye Baal nke nna ya kpụrụ.
3 Otu ọ dị, ọ nọgidere na mmehie Jeroboam nwa Nebat, onye mere ka Izrel baa n'ime mmehie ife arụsị. Joram esiteghị na ha wezuga onwe ya.
4 Eze ndị Moab, bụ Misha, na ndị ya, bụ ndị na-azụ atụrụ. N'afọ niile, ọ na-atụrụ eze Izrel otu narị puku ajị ebule, na otu narị puku atụrụ.
5 Ma mgbe Ehab eze Izrel nwụrụ, eze Moab nupuru isi megide eze Izrel, jụkwa ịnọ n'okpuru ya ọzọ.
6 Ya mere, eze Joram sitere na Sameria pụọ ga kpọkọta ndị Izrel niile.
7 O zigara Jehoshafat eze Juda ozi sị ya, "Eze Moab enupula isi megide m. Ị ga-abịa soro m ịga buso ndị Moab agha?"

Ọ zaghachiri, "Aga m eso gị gaa. Mụ na gị bụ otu, ndị m bụ ndị gị, ịnyịnya m bụkwa ịnyịnya gị."

‡ **2:25** 2:25 Ọ bụ n'obodo Sameria ka Ịlaisha biri.

8 “Ma olee ụzọ anyị ga-esi gaa ibu agha ahụ?”
Joram zara, “Anyị ga-esi ụzọ ọzara Edọm.[*]”
9 Ya mere, eze Izrel na eze Juda, na eze Edọm,[†] na ndị agha ha niile, zukọtara site
ụzọ ọzara Edọm ịga ibuso Moab agha. Ha gara ije abalị asaa n’ọzara. Ma mmiri
ọṅụṅụ ha nwere gwụsịrị. Ọ dịkwaghị mmiri dịrị anụ ụlọ ha, na ndị agha ha.
10 Mgbe ahụ, eze Izrel tiri mkpu sị, “Gịnị ka anyị ga-eme? Ọ ga-abụ na ONYENWE
ANYỊ kpọpụtara anyị bụ eze atọ ndị a, n’ebe a, inyefe anyị n’aka ndị Moab, ka ha
merie anyị?”
11 Ma Jehoshafat, eze Juda, jụrụ ajụjụ sị, “Ọ bụ na o nweghị onye amụma ONYENWE
ANYỊ nọ n’ebe a, onye anyị ga-esi n’aka ya jụta ONYENWE ANYỊ ase, site na ya?”
Otu onyeisi agha ndị Izrel sị ha, “Ịlaisha, nwa Shafat, onye jeere Ịlaịja ozi, nọ n’ebe
a.”
12 Jehoshafat zara sị, “Okwu ONYENWE ANYỊ dị n’ọnụ ya.” Ya mere, eze Izrel na
Jehoshafat, na eze Edọm, gakwuru ya.
13 Ịlaisha zara eze Izrel sị, “Gịnị ka mụ na gị nwekọrọ? Jekwuru ndị amụma nne
gị na nna gị, jụta ha ase.”
Eze Izrel zara sị ya, “Mba, n’ihi na ọ bụ ONYENWE ANYỊ kpọpụtara anyị bụ eze atọ
n’ebe a, ka o were anyị nyefee n’aka ndị Moab.”
14 Ịlaisha sịrị, “Ebe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-adị ndụ, bụ onye m
na-efe, a si na ọ bụghị nsọpụrụ m nwere n’ebe Jehoshafat eze Juda nọ, agaraghị m
atụpụrụ gị ọnụ maọbụ lee gị anya n’ihu. 15 Ma ugbu a, kpọtaranụ m onye na-akpọ
ụbọ.”
Mgbe ọkpọ ụbọ ahụ malitere ịkpọ ụbọ ya, aka ONYENWE ANYỊ bịakwasịrị Ịlaisha.
16 Ọ sịrị, “Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, aga m eme ka ndagwurugwu a jupụta n’olulu
mmiri. 17 N’ihi na otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, Unu agaghị ahụ ifufe maọbụ mmiri
ozuzo, ma ndagwurugwu a ga-ejupụta na mmiri, unu onwe unu ga-aṅụ, na ehi unu,
na anụmanụ ndị ọzọ unu ga-aṅụkwa mmiri. 18 Ma nke a bụ ihe dị nta n’ebe ONYENWE
ANYỊ nọ, n’ihi na ọ ga-enyefekwa ndị Moab n’aka unu. 19 Unu ga-etigbu obodo ọbụla
e wusiri ike, na obodo ukwu niile. Unu ga-egbudakwa ezi osisi ha na-amị mkpụrụ,
kpọchie isi mmiri ha niile, werekwa nkume mebikwaa ezi ala ubi ha niile.”
20 O ruo, n’ụtụtụ, n’oge e ji achụ aja nsure ọkụ ụtụtụ, lee na mmiri sitere ụzọ Edọm
sọọrọ bịa n’ebe ahụ ha gwuru olulu na ndagwurugwu ala ahụ sọjuo ala ahụ niile.
21 Mgbe ndị Moab nụrụ na ndị eze ahụ na-abịa imegide ha, ha kpọkọtara ndị
ikom ọbụla nwere ike ịlụ agha, ma okenye ma okorobịa, pụta bịa guzo n’oke ala
ha. 22 Mgbe chi bọrọ n’isi ụtụtụ, anyanwụ wara mụkwasị mmiri ahụ. Site n’ebe ha
nọ, ndị Moab lepụrụ anya hụ mmiri ahụ ka ọ na-acha ọbara ọbara. 23 Mgbe ahụ, ha
sịrịtara onwe ha, “Leenụ ọbara! Ọ ga-abụ na ndị agha eze atọ ndị a etigbuola onwe
ha. Pụtanụ, unu ndị Moab, ka anyị gaa kwakọrọ ihe nkwata na-agha!”
24 Mgbe ha gbaara ọsọ bịaruo n’ụlọ agha ndị Izrel, ndị agha Izrel biliri malite itigbu
ha. Ya mere, ndị agha Moab sitere n’ihu ha gbalaga. Ma ndị agha Izrel banyere n’ime
obodo ndị Moab, gbuo ihe niile ha hụrụ n’ụzọ. 25 Ha tidara obodo ndị Moab niile,
tinye nkume n’ala ubi ọma ndị Moab niile. Ha kpọchiri isi mmiri niile, gbudasịakwa
ezi osisi niile na-amị mkpụrụ n’ala ahụ. N’ikpeazụ, ọ bụ naanị otu obodo ndị Moab
fọdụrụ, isi obodo a na-akpọ Kia Hareset. Ndị ji ụdọ na-ama nkume gbara obodo a
gburugburu, bido ibuso ya agha.

[*] **3:8** 3:8 Ihe nke a pụtara, bụ na ha ga-esi n’akụkụ ọdịda anyanwụ Osimiri Nwụrụ anwụ gbaa gburugburu, pụta n’akụkụ ndịda obodo Moab ma buso ha agha. Ma tupu ha e nwee ike mee otu a, ha ga-esite n’oke ala ndị Edọm, bụ obodo ndị Juda na-achị gafee. [†] **3:9** 3:9 Eze Edọm bụ onyeisi alaeze Jehoshafat họpụtara. Ị ga-ahụ nke a n’akwụkwọ 1Ez 22:47; 2Ez 8:20

[26] Mgbe eze Moab hụrụ na agha ahụ anaghị agaziri ya nke ọma, ọ chịịrị narị ndị
agha asaa, ndị ji mma agha ebu agha, gbalịa isi n'etiti ndị agha Izrel tikapụta, na
ncherita ihu ebe eze Edọm nọ, ma ha enweghị ike. [27] Ya mere, o weere ọkpara ya,
onye gaara abụ eze n'ọnọdụ ya, gbuo ya, dịka aja n'elu mgbidi gbara obodo ahụ
gburugburu nye chi Moab. Iwe dị ukwuu dị n'ụbọchị ahụ megide Izrel. Ha kwụsịrị
ibu agha, laghachi n'obodo nke aka ha.

# 4

*Mmanụ oliv nwanyị di ya nwụrụ*

[1] Otu ụbọchị, otu nwanyị n'ime ndị inyom ndị amụma bịakwutere Ịlaisha rịọ ya
sị, "Ohu gị, bụ di m anwụọla. Ị matara na ọ na-atụ egwu*ONYENWE ANYỊ. Ma ugbu
a, onye o ji ụgwọ na-abịa ịkpọrọ ụmụ m ndị ikom abụọ ime ka ha bụrụ ndị ohu ya."
[2] Ịlaisha jụrụ ya ajụjụ sị, "Gịnị ka m ga-emere gị? Gwa m, gịnị ka i nwere n'ụlọ?"
Nwanyị ahụ zara sị, "O nweghị ihe ọbụla ohu gị nwanyị nwere n'ụlọ karịa naanị
ntakịrị mmanụ."†
[3] Ịlaisha sịrị, "Jegharịa na-ezi, gaa nata ndị agbataobi gị niile ite nke ihe ọbụla
na-adịghị n'ime ya. Ha abụkwala ole na ole. [4] Mgbe ahụ, baa n'ime ụlọ, gị na ụmụ
gị, mechibido onwe unu ụzọ. Malite ịgbanye mmanụ ahụ n'ime ite ahụ niile, mgbe
nke ọbụla juru, bupụ ya n'otu akụkụ."
[5] Nwanyị ahụ hapụrụ ya, ga mechibido onwe ya na ụmụ ya ndị ikom ụzọ. Ha na-
ebutere ya ite niile ahụ nso, ebe ya onwe ya na-agbanye agbanye n'ime ha. [6] Mgbe ọ
gbajuru ite ndị ahụ niile, ọ sịrị nwa ya, "Butere m ite ọzọ."
Ma ọ zara, "O nweghị ite ọzọ fọdụrụ." Mgbe ahụ, mmanụ ahụ kwụsịrị ịgbapụta.
[7] Ọ gara gwa onye nke Chineke ahụ, onye sịrị, "Gaa, ree mmanụ ahụ, kwụkwaa
ụgwọ unu ji. Gị na ụmụ gị ndị ikom were nke fọdụrụ mee mkpa dịrị unu."

*Nwanyị Shunem na nwa ya*

[8] Otu ụbọchị, Ịlaisha gara n'obodo Shunem. Otu nwanyị nwere ugwu bi n'ebe
ahụ. Nwanyị ahụ rịọsiri ya ike ka o rie nri. N'ihi ya, mgbe ọbụla Ịlaisha si n'ebe
ahụ gafee, ọ na-akwụsị n'ebe ahụ rie ihe. [9] Ma nwanyị ahụ gwara di ya okwu sị,
"O doro m anya nke ọma na nwoke a na-akwụsị n'ụlọ anyị mgbe niile bụ onye nsọ
nke Chineke. [10] Biko, ka anyị doziere ya otu ọnụụlọ nta n'ime ụlọ elu anyị, ka anyị
tinyere ya ihe ndina na tebul, na oche, na oriọna, ka o nwee ebe ọ ga na-anọ mgbe
ọbụla ọ bịakwutere anyị."
[11] Otu ụbọchị, mgbe Ịlaisha bịakwara n'ebe ahụ, ọ bara n'ọnụụlọ ahụ, dinaa n'ebe
ahụ. [12] Ọ sịrị Gehazi onye na-ejere ya ozi, "Gaa kpọọ onye Shunem a," Ya mere, ọ
kpọrọ ya, ọ bịara guzo n'ihu ya, [13] Ịlaisha gwara Gehazi, "Gwa nwanyị ahụ, sị, 'Lee,
otu i si enye onwe gị nsogbu niile ndị a maka anyị. Ugbu a, gịnị ka a ga-emere gị? Ọ
bụ ka anyị gwa eze okwu banyere gị, ka ọ bụ ịgwa onyeisi ndị agha?' "
Ọ zara, "Ebi m n'etiti ndị m."
[14] Ịlaisha jụrụ, "Gịnịkwa ka anyị ga-emere nwanyị a?"
Gehazi sịrị, "N'ezie, o nweghị nwa nwoke, di ya emeekwala agadi."
[15] Ịlaisha sịrị, "Kpọọ ya." Ya mere, Gehazi kpọrọ ya, ọ bịara guzo n'ọnụ ụzọ.
[16] Ịlaisha sịrị, "Na mgbe dị otu a n'afọ ọzọ, ị ga-eku nwa nwoke n'aka gị abụọ."
Ọ sịrị, "Mba, onyenwe m, biko, gị onye nke Chineke, agwala ohu gị nwanyị okwu
ụgha."
[17] Ma dịka Ịlaisha si kwuo, nwanyị ahụ tụụrụ ime, na mgbe ahụ n'afọ ọzọ ya, ọ
mụrụ nwa nwoke.

* **4:1** 4:1 Ọ sọpụụrụ Onyenwe anyị † **4:2** 4:2 Mmanụ bụ otu ngwa nri dị mkpa na nri niile ndị si na mpaghara ọwụwa anyanwụ na-eri. Mkpa ọ dị bụ na ọ na-edozi ahụ mmadụ.

18 Nwata ahụ toputara, otu ụbọchị ọ pụrụ jekwuru nna ya n'ubi, ebe ha nọ na-aghọ
ọka. 19 O tikuru nna ya sị ya, "Isi m o, isi m o!"

Nna ya sịrị otu n'ime ndị ohu ya, "Kuru ya kulaara nne ya." 20 O kuuru ya, kulaara
ya nne ya, nwantakịrị nwoke ahụ nọdụrụ n'apata nne ya ruo etiti ehihie, mgbe ọ
nwụrụ. 21 Nne ya kuuru ya rigoo n'elu ụlọ ahụ, tọgbọ ya n'elu ihe ndina ahụ onye
nke Chineke ahụ na-edina, mechie ụzọ pụọ.

22 O ziri ozi kpọọ di ya sị ya, "Biko, zitere m otu okorobịa na otu ịnyịnya ibu, ka m
jekwuru onye Chineke ahụ. Aga m alọtakwa ọsịịsọ."

23 Ọ sịrị, "Gịnị mere i ji ejekwuru ya taa? Ọ bụghị Ọnwa ọhụrụ, ọ bụghịkwa ụbọchị
izuike."

Ọ zara sị, "Udo dị."

24 Mgbe ahụ, ọ nọkwasịrị n'elu ịnyịnya ibu ahụ, nye nwokorobịa ahụ iwu sị ya,
"Gbasie ọsọ ike. Akwụsịkwala ịgba ọsọ ma ọ bụghị mgbe m gwara gị kwụsị." 25 Ya
mere, o buliri ije,‡ gakwuru onye nke Chineke n'ugwu Kamel.

Mgbe o lepụrụ anya hụ ya ka ọ na-abịa, onye nke Chineke sịrị odibo ya bụ Gehazi,
"Lee nwanyị Shunem ahụ. 26 Gbara ọsọ gaa zute ya jụọ ya sị ya, 'Ọ dịkwa mma? Dị
gị ọ nọkwa n'udo? Nwa gị ọ nọkwa n'udo?' " Mgbe Gehazi zutere ya jụọ ajụjụ ndị a,
nwanyị ahụ zara Gehazi sị ya,

"E, anyị niile nọ n'udo, ihe niile na-aga nke ọma."

27 Ma mgbe ọ bịakwutere onye nke Chineke, ọ dara n'ala n'ihu ya, jide ya n'ụkwụ
ya abụọ. Gehazi bịaruru nso inupu ya, ma onyeozi Chineke sịrị ya, "Hapụ ya aka,
n'ihi na ọ dị ihe na-enye ya nsogbu n'ime mmụọ ya, ma ONYENWE ANYỊ zonarịrị m
ya, ọ gwaghịkwa m ihe mere."

28 Nwanyị ahụ sịrị, "Onyenwe m, arịọrọ m gị nye m nwa nwoke? Ọ bụ na m asịghị
gị, 'emeela m ka m nwee olileanya'?"

29 Ịlaisha sịrị Gehazi, "Ngwa, were ihe ike n'ukwu jikọta uwe mwụda gị, werekwa
mkpanaka m n'aka gị, bilie gaa Shunem. Mgbe ị na-aga ekelekwala onye ọbụla ekele.
Ọ bụrụkwa na onye ọbụla ekelee gị, azala ekele ya. Gaa n'ụlọ ahụ. I ruo, tụkwasị
mkpanaka m n'ihu nwantakịrị nwoke ahụ."

30 Ma nne nwantakịrị ahụ zara sị, "Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, na dịka gị onwe
gị nọkwa na-adị ndụ, agaghị m ahapụ gị laa." Ịlaisha biliri soro ya bido ịla n'ụlọ ya.

31 Ma Gehazi butere ụzọ rute n'ụlọ ahụ, were mkpanaka ahụ tụkwasị n'ihu
nwantakịrị nwoke ahụ, ma nke a emeghị ka nwantakịrị ahụ teta ma ọ bụkwanụ
kuo ume. Ya mere, Gehazi laghachiri izute Ịlaisha, gwa ya sị, "Nwata ahụ etetaghị."

32 Mgbe Ịlaisha rutere n'ụlọ ahụ, ọ hụrụ ka nwantakịrị ahụ nwụrụ anwụ dina n'elu
ihe ndina ya. 33 Ọ banyere n'ime ọnụụlọ ahụ, mechibido ha abụọ ụzọ, kpee ekpere,
kpọkuo ONYENWE ANYỊ. 34 Emesịa, ọ makpuuru n'elu nwantakịrị ahụ, tụkwasị ọnụ
ya n'ọnụ nwantakịrị ahụ, na anya ya abụọ na nke nwantakịrị ahụ, na aka ya abụọ
na nke ya. Mgbe o si otu a dinara n'elu nwantakịrị ahụ, ahụ nwantakịrị ahụ malitere
ikpo ọkụ ọzọ. 35 Ịlaisha biliri jegharịa n'ime ụlọ ahụ ugboro ole na ole, laghachikwa
makpuru n'elu nwantakịrị ahụ ọzọ. Emesịa, nwantakịrị ahụ zere uzere ugboro asaa,
meghe anya ya abụọ.

36 Ịlaisha kpọrọ Gehazi sị ya, "Kpọọ nwanyị Shunem." Ya mere, ọ kpọrọ ya. Mgbe
ọ bịakwutere ya, ọ sịrị, "Kuru nwa gị." 37 Ọ batara, daa n'ala n'ụkwụ ya, kpọọ isiala.
Emesịa, o kuuru nwa ya nwoke pụọ.

*Ọnwụ dị n'ite nri*

‡ **4:25** 4:25 Njem a, ga-abụ ihe dị ka kilomita iri atọ site n'obodo Shunem ruo n'ugwu a.

38 Ịlaisha lọghachiri na Gilgal, mgbe ụnwụ dị n’ala ahụ. Otu ụbọchị, mgbe ya
na ụfọdụ ndị amụma nọ na-enwe nzukọ, ọ gwara onye na-ejere ya ozi okwu sị ya:
“Sikwasị ite ukwu ahụ n’ọkụ, siere ndị a mụ na ha nọ ihe oriri.”
39 Otu onye n’ime ha pụrụ banye n’ọhịa ịchịkọta akwụkwọ nri. Ọ hụrụ osisi vaịnị
toro n’ọhịa, chịkọtaa ụfọdụ afụfa ọhịa,§ nke o kpojuru n’uwe mwụda ya dịka ọ ga-
ejideli. Mgbe ọ lọghachiri, o gbupịasịrị afụfa ọhịa ndị a, wụnye ha n’ime ite ahụ si
n’ọkụ, ọ bụ ezie na o nweghị onye maara ihe ha bụ. 40 Mgbe o ghere, a wụpụtara ya
nye ndị ikom ndị ahụ. Ma mgbe ha bidoro iri ya, ha tiri mkpu akwa sị, “Onye nke
Chineke, lee, ọnwụ dị n’ite nri a.” Ha enwekwaghị ike iri ya.
41 Ịlaisha kwuru okwu sị, “Kpotanụ ụtụ ọka.” Ọ ghanyere ya n’ime ite ahụ sị,
“Kunyerenụ ha nri ka ha rie.” Ha riri ya. O nwekwaghị ihe na-egbu egbu dị n’ite
ahụ.

### *Ịlaisha enye narị ndị amụma nri*

42 Otu nwoke si Baal-Shalisha bịa, butere onye nke Chineke ogbe achịcha iri abụọ
nke e ji ọka balị mbụ a ghọtara n’ubi mee. O butekwaara ya isi ọka ole na ole n’akpa.
Ịlaisha sịrị, “Were ihe ndị a nye ndị anyị ka ha rie.”
43 Onye na-ejere ya ozi jụrụ, “Olee otu m ga-esi chee ihe a n’ihu narị mmadụ?”
Ma Ịlaisha zara, “Chịrị ya nye ndị mmadụ a ka ha rie, n’ihi na otu a ka ONYENWE
ANYỊ kwuru, ‘Ha ga-eriju afọ ha, nwekwa ndị ga-afọdụkwa.’ ” 44 Ya mere, o chere ya
n’ihu ha, ha rikwara, nri ahụ fọdụkwara dịka okwu ONYENWE ANYỊ si dị.

## 5

### *Neeman onye ekpenta*

1 N’oge a, Neeman bụ ọchịagha ndị agha eze Aram,* Ọ bụ onye dị ukwuu n’anya
nna ya ukwu, bụrụkwa onye a na-enye nsọpụrụ n’ihi na ONYENWE ANYỊ sitere n’aka
ya nye ndị agha Aram mmeri n’ọgbọ agha dị iche iche. Ọ bụ dike na dimkpa n’agha,
maọbụ onye ekpenta.
2 Otu mgbe, ụfọdụ n’ime ndị agha Aram na-apụnara ndị mmadụ ihe pụrụ ga dọta
otu nwaagbọghọ nta site n’Izrel, onye na-ejere nwunye Neeman ozi. 3 Ọ sịrị nne ya
ukwu, “Ọ gaara atọ m ụtọ ma a sị na nna m ukwu ga-aga hụ onye amụma nọ na
Sameria. Ọ ga-agwọ ya ọrịa ekpenta a.”
4 Neeman nụrụ nke a, bilie gaa kọọrọ eze Aram ihe niile nwaagbọghọ a si Izrel
kwuru. 5 Eze Aram sịrị, “Bilie, gaa, aga m ezigakwara eze Izrel† akwụkwọ ozi.” Ya
mere Neeman gara, ọ chịịrị talenti ọlaọcha iri, na puku shekel ọlaedo isii, na uwe
ọma dị iche iche, nke dị iri n’ọnụọgụgụ. 6 Nke a bụkwa ihe dị n’ime akwụkwọ ahụ
eze Aram degaara eze Izrel: “Nwoke a ji akwụkwọ a bịakwute gị bụ Neeman, onyeisi
ndị agha m. Biko, achọrọ m ka ị gwọọ ya ọrịa ekpenta dị ya n’ahụ.”
7 Ngwangwa eze Izrel gụrụ akwụkwọ ahụ, ọ dọwara uwe ya sị, “Abụ m Chineke?
A pụrụ m ime ka mmadụ nwụọ na ime ka mmadụ dị ndụ? Gịnị mere nwoke a ji
ezitere m onye m ga-agwọ ọrịa ekpenta? Lee ka o si na-achọ ụzọ anyị ga-eji nwee
esemokwu.”
8 Mgbe Ịlaisha onye Chineke nụrụ na eze Izrel dọwara uwe ya, o ziri ozi a zigara
ya sị, “Gịnị mere i ji dọwaa uwe gị? Zitere m Neeman. Ọ ga-amatakwa na e nwere
onye amụma n’Izrel.” 9 Ya mere, Neeman bịarutere guzo n’ọnụ ụzọ ụlọ Ịlaisha, ya
na ịnyịnya ya, na ụgbọ agha ya. 10 Ịlaisha zigara onyeozi ya nke bịara zie sị ya, “Jee
saa ahụ gị ugboro asaa n’osimiri Jọdan. I mee nke a, ekpenta ahụ ga-esi n’akụkụ ahụ
gị niile pụọ. Ị ga-adịkwa ọcha.”

---

§ **4:39** 4:39 Mkpụrụ afụfa ọhịa yiri kukumba n’ọdịdị, buo ibu dịka oroma ma ọ na-elu ilu n’ọnụ. * **5:1** 5:1 Aha eze a, bụ Ben-Hadad nke abụọ 2Ez 8:7 † **5:5** 5:5 Aha eze a, bụ Joram. 2Ez 8:28

11 Ma Neeman were iwe nke ukwuu tụgharịa bido ịlaghachi ebe o si bịa. Mgbe ọ
na-ala, ọ na-ekwu na-asị, “Echere m na ọ ga-apụkwute m, guzo, kpọkuo aha Onyenwe
anyị Chineke ya, fufee aka ya n’ebe ahụ ọrịa m dị, gwọọ m ọrịa ekpenta m. 12 Abana‡
na Fapa, bụ osimiri dị na Damaskọs, ha adịghị mma karịa mmiri Izrel niile? Ọ bụ
na m enweghị ike ịsa ahụ n’ime ha ma dị ọcha.” Ọ tụgharịrị jiri ọnụma pụọ.
13 Ma ndị ozi Neeman jekwuru ya sị ya, “Nna anyị, a sị na ọ bụ ihe sịrị ike nke
ukwuu ka onye amụma ahụ gwara gị sị gị mee, ị garaghị eme ya? Ma ihe ọ sị gị mee
bụ naanị ‘Gaa saa ahụ gị ka ị dị ọcha.’ ” 14 Ya mere, ọ gara sụnye onwe ya n’ime
osimiri Jọdan ugboro asaa, dịka onye nke Chineke gwara ya. Anụ ahụ ya lọghachiri
dị ọcha ka anụ ahụ nwantakịrị.
15 Mgbe ahụ, Neeman na ndị niile ya na ha so laghachikwutere onye nke Chineke.
O guzoro n’ihu ya sị, “Ugbu a amatala m na ọ dịghị Chineke ọzọ dị n’ụwa niile ma ọ
bụghị naanị n’Izrel. Ya mere, biko, nara onyinye a site n’aka ohu gị.”
16 Ma Ịlaisha zara sị ya, “Dịka Onyenwe anyị na-adị ndụ, bụ onye m na-ejere ozi,
agaghị m ana gị ihe ọbụla.” Ma Neeman rịọrọ ya arịrịọ ka ọ nara ya, ma ọ jụrụ ajụ.
17 Mgbe ahụ Neeman sịrị, “Ọ bụrụ na ị gaghị anara, biko, kwerenụ ka m kporo aja
nke ịnyịnya abụọ nwere ike ibu. N’ihi na site ugbu a gaa n’ihu, agaghị m achụrụ
chi ọzọ aja nsure ọkụ, ma ọ bụghị naanị Onyenwe anyị. 18 Ma ka Onyenwe anyị
gbaghara ohu gị naanị otu ihe a. Mgbe nna m ukwu banyere n’ụlọ arụsị Rimọn ịkpọ
isiala, mgbe ọ na-adabere n’aka m, nke ga-eme ka mụ onwe m kpọọkwa isiala. Mgbe
m si otu a kpọọ isiala n’ụlọ arụsị Rimọn, ka Onyenwe anyị gbaghara ohu gị n’ihi nke
a.”
19 Ịlaisha zara sị ya, “Ọ dị mma, laa n’udo.”
Mgbe Neeman lawara, o jerubeghị ebe dị anya, 20 Gehazi, bụ onyeozi Ịlaisha onye
nke Chineke, sịrị n’obi ya, “Nna m ukwu emezighị ikwere ka Neeman onye Aram laa
na-anataghị ya ihe o ji bịa. Dịka Onyenwe anyị na-adị ndụ, aga m eji ọsọ gbakwuru
ya napụta ya ụfọdụ ihe ahụ.”
21 Ya mere, Gehazi gbara ọsọ gbakwuru Neeman. Mgbe Neeman hụrụ ya ka ọ gba
ọsọ na-abịa, o si n’elu ụgbọ agha ya wudata gaa zute ya, jụọ ya sị: “Udo ọ dịkwa?”
22 “E, udo dị,” ka Gehazi zara, “Onyenwe m zitere m ka m gwa gị, ‘Lee, ụmụ
okorobịa abụọ n’etiti ndị amụma si n’ugwu Ifrem bịakwute m. Biko nye ha otu
talenti ọlaọcha na uwe mgbanwe abụọ.’ ”
23 Ma Neeman zara sị ya, “Biko, were talenti abụọ.” Ọ kwagidere Gehazi ka ọ nara
ha. O kechiri talenti ọlaọcha abụọ ahụ n’akpa abụọ, tinyere uwe mgbanwe abụọ. O
bunyere ndị ohu ya ka ha buru ya na-aga n’ihu Gehazi. 24 Ma mgbe ha rutere n’ugwu,
Gehazi naara ndị ohu Neeman ihe ndị ahụ, sị ha laghachikwa. O zoro ihe ndị ahụ
n’ime ụlọ.
25 Mgbe ọ batara n’ụlọ guzo n’ihu nna ya ukwu, Ịlaisha jụrụ ya sị, “Ebee ka i si
na-abịa Gehazi?”
Ọ zara, “Ohu gị ejeghị ebe ọbụla.”
26 Mgbe ahụ Ịlaisha zara ya, “Ọ bụ na mmụọ m esoghị gị mgbe nwoke ahụ si n’ụgbọ
ya rịdata izute gị? Oge a ọ bụ oge ịnara ego, na ịnara uwe, na ịnara ubi oliv, na ubi
vaịnị, na igwe ehi, na igwe atụrụ, na ndị ohu ndị ikom, na ndị ohu ndị inyom na-eje
ozi? 27 N’ihi nke a, ekpenta ahụ dị Neeman ga-abịakwasị gị, na ụmụ ụmụ gị, ruo
mgbe ebighị ebi.” Ya mere, Gehazi ghọrọ onye ekpenta si n’ihu ya pụọ. Anụ ahụ ya
bidokwara ịcha ọcha dịka ogho ọcha.

# 6

*Isi anyụike esee n’elu mmiri*

‡ **5:12** 5:12 A na-akpọkwa ya Amana

1 Ụmụ ndị amụma gwara Ịlaisha okwu sị, "Lee, ebe a anyị bi n'ihu gị dị oke nta
karịa. 2 Ya mere, ka anyị gaa n'akụkụ Jọdan gbute osisi anyị ga-eji wuo ụlọ ebe anyị
ga-ebi."
Ọ sịrị ha, "Meenụ ka unu kwuru."
3 Ma otu onye n'ime ha rịọrọ ya sị, "Biko, nna anyị ukwu, soronụ anyị."
O kwenyere na ọ ga-eso ha. 4 O sonyekwara ha.
Mgbe ha bịaruru n'akụkụ Jọdan, ha malitere igbutu osisi. 5 Ma mgbe otu n'ime
ha nọ na-egbutu otu osisi, anyụike ya dabara n'ime mmiri. O tiri mkpu sị, "Ewoo,
onyenwe m. Ọ bụkwanụ ihe a rịọtara arịọta."
6 Mgbe ahụ, onye nke Chineke jụrụ ya sị, "Ebee ka ọ dabara?" Mgbe o ziri ya
ebe ọ dabara, Ịlaisha gbutere osisi tụba ya n'ebe ahụ, mee ka anyụike ahụ segolite
na-erugharị n'elu mmiri. 7 Ọ sịrị, "Tụtụlite ya." O setịrị aka ya wepụta ya.

### *Ìsì ekpuo ndị agha Siria*

8 N'oge a, eze ndị Aram* na ndị Izrel nọ n'agha. Mgbe ya na ndịisi agha ya
kparịtachara, ọ sịrị, "Aga m eguzobe ọmụma ụlọ ikwu m n'ebe dị otu a na n'ebe
dị otu a."
9 Ngwangwa, onye nke Chineke zigaara eze Izrel† ozi sị, "Lezie anya, unu ejekwala
nso n'ebe ahụ, n'ihi na eze Aram na ndị agha ya nọ n'ebe ahụ." 10 N'ihi nke a,
eze Izrel mere nchọpụta banyere ebe ahụ onye nke Chineke gwara ya. Ọtụtụ mgbe
Ịlaisha dọrọ eze aka na ntị, n'ihi ya, ha nọrọ na nche n'ebe ahụ niile.
11 Ihe ndị a mere ka iwe wee eze ndị Aram. Ọ kpọkọtara ndịisi ọrụ ya nye ha iwu
sị, "Gwanụ m, onye n'ime anyị dịnyere eze Izrel?"
12 Otu onye n'ime ndị ọchịagha ya sịrị, "O nweghị onye ọbụla n'ime anyị, onyenwe
m bụ eze. Ọ bụ Ịlaisha, onye amụma Izrel, bụ onye na-agwa eze Izrel okwu niile i
na-ekwu n'ime ebe ndina gị."
13 Ya mere, eze Aram nyere ha iwu sị ha, "Gaanụ, chọpụta ebe ọ nọ, ka m ziga ndị
agha ga-aga jide ya." Ha gara lọta, kọọrọ ya na Ịlaisha nọ na Dọtan. 14 N'ihi ya, n'otu
anyasị eze Aram zigara ọtụtụ ndị agha ya, ndị ji ịnyịnya na ụgbọ agha gbaa obodo
ahụ gburugburu.
15 Mgbe onye na-ejere onye nke Chineke ozi biliri ọtọ n'isi ụtụtụ pụọ, ọ hụrụ ọtụtụ
ndị agha na ịnyịnya na ụgbọala, ka ha gbara obodo ha nọ gburugburu. O tiri mkpu
sị, "Ewoo, onyenwe m, gịnị ka anyị ga-eme ugbu a?"
16 Ma Ịlaisha zara sị ya, "Atụla egwu, n'ihi na ndị nọnyere anyị dị ọtụtụ karịa ndị
nọnyeere ha."
17 Mgbe ahụ, Ịlaisha kpere ekpere sị, "ONYENWE ANYỊ, biko, saghee anya ya abụọ
ka ọ hụ." ONYENWE ANYỊ meghere anya ohu Ịlaisha, mee ka ọ hụ ịnyịnya ọkụ, na
ụgbọala ọkụ jupụtara n'ugwu dị gburugburu ebe ahụ niile.
18 Mgbe ndị iro ahụ na-abịaru ya nso, Ịlaisha kpọkuru ONYENWE ANYỊ n'ekpere sị,
"Mee ka ìsì kpuo ndị agha niile." O mekwara ka ìsì kpuo ha, dịka Ịlaisha rịọọrọ.
19 Ịlaisha pụtara sị ha, "Nke a abụghị ụzọ, nke a abụkwaghị obodo unu na-achọ.
Soronụ m, ka m gosi unu nwoke unu na-achọ." O duuru ha jee Sameria.
20 Mgbe ha bịaruru Sameria, Ịlaisha kpere ekpere sị, "Biko, ONYENWE ANYỊ, ugbu a
meghee anya ha, ka ha hụ ụzọ." ONYENWE ANYỊ meghere anya ha dịka Ịlaisha kpere
n'ekpere; ha matakwara na ha nọ na Sameria.
21 Mgbe eze Izrel hụrụ ha, ọ jụrụ Ịlaisha ajụjụ sị, "Nna m, ị chọrọ ka m gbuo ha?"
22 Ịlaisha zara sị ya, "Egbula ha. Ị ga-egbu ndị i ji mma agha na ụta gị dọta n'agha?
Nye ha nri na mmiri, zilaga ha ka ha lakwuru onyenwe ha." 23 Ya mere, ọ kwadooro
ha oke oriri dị ukwuu, mgbe ha riri, ṅụkwaa, o zilagara ha, ha lakwuuru nna ha

* 6:8 6:8 Nke bụ Ben-Hadad nke abụọ † 6:9 6:9 Onye a na-akpọ Joram

ukwu. Site n'oge ahụ gaa n'ihu, ndị otu Aram na-apụnara mmadụ ihe kwusịrị inye nsogbu n'oke ala ndị Izrel.

### *Ụnwụ n'obodo Sameria*

24 Ma mgbe ụfọdụ oge gasịrị, Ben-Hadad, eze Aram, chịkọtara ndị agha ya niile pụta bịa gbaa Sameria gburugburu. 25 N'ihi nke a, oke ụnwụ dara n'obodo Sameria.
Nri kọrọ n'ala ahụ ruo na e bidoro ire otu isi ịnyịnya ibu‡ iri shekel ọlaọcha asatọ.
E rekwara nsị nduru shekel ise.
26 Mgbe eze Izrel na-agafe n'elu mgbidi gbara obodo ahụ gburugburu, otu nwanyị kpọkuru ya sị ya, "Nyere m aka, onyenwe m eze."
27 Ma eze zara sị ya, "Ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ ekweghị inyere gị aka, ebee ka m ga-esi nwetara gị inyeaka? Ọ bụ site n'ebe ịzọcha ọka? Ka ọ bụ n'ebe ịzọcha mmanya
vaịnị?" 28 Mgbe ahụ, eze jụrụ ya sị, "Gịnị na-eme?"
Ọ zara, "Nwanyị a sịrị, 'Nye nwa gị nwoke ka anyị rie ya taa, echi anyị ga-eri nwa
m nwoke.' 29 Ya mere, na anyị siri nwa m rie ya. N'ụbọchị nke so ya asịrị m ya, 'Wepụta nwa gị nwoke ka anyị rie ya,' ma o zoola ya."
30 Mgbe eze nụrụ okwu nwanyị a, ọ dọwara uwe ya. Ma dịka ọ na-agabiga n'elu mgbidi ahụ, ndị mmadụ lere anya hụ n'okpuru uwe, akwa mkpe dị n'ime ahụ ya.
31 Ọ sịrị, "Ka Chineke mesoo m mmeso, otu ọbụla mmeso ahụ si dị njọ, ma ọ bụrụ na isi Ịlaisha nwa Shafat anọgide n'ahụ ya taa."
32 N'oge a, Ịlaisha nọdụrụ ala n'ụlọ ya, ndị okenye sokwa ya nọdụ. Eze zipụrụ onyeozi, ma tupu o rute, Ịlaisha gwara ndị okenye ahụ okwu sị ha, "Unu ahụla na ogbu mmadụ a ezitela mmadụ ka ọ bịa gbupụ m isi. Mgbe onyeozi ya bịaruru, mechienụ ụzọ hapụ ya n'ezi, n'ihi na eze n'onwe ya ga-eso ya n'azụ bịa." 33 Mgbe
Ịlaisha nọ na-agwa ha okwu, lee onyeozi ahụ ka ọ na-abịakwute ya.
Eze sokwa ya n'azụ na-ekwu okwu na-asị, "ONYENWE ANYỊ emeela ka ihe ọjọọ dị otu a dakwasị anyị. Gịnị mere m ga-eji lee anya inyeaka site n'aka ONYENWE ANYỊ ọzọ?"

## 7

1 Ịlaisha zara sị ya,* "Nụrụ okwu ONYENWE ANYỊ. N'ihi na otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu,† N'oge dịka mgbe a echi, a ga-ere otu akpa nta ụtụ ọka otu shekel, rekwaa akpa nta ọka balị abụọ otu shekel n'ọnụ ụzọ ama obodo Sameria."
2 Ọchịagha ahụ, nke eze na-adabere n'aka ya, sịrị onye nke Chineke, "Lee, a sịkwarị na ONYENWE ANYỊ emeghee oghere idee nke eluigwe, nke a ọ pụrụ ime?"
Ma Ịlaisha zara ya, "Ị ga-eji anya gị abụọ hụ ya, ma ị gaghị eri site n'ime ya."

### *Ọgbaaghara n'ogige agha ndị Sameria*

3 N'oge a, e nwere ndị ekpenta‡ anọ nọ n'ezi mgbidi gbara Sameria gburugburu, n'akụkụ ọnụ ụzọ e si abata obodo ahụ. Ha sịrịtara onwe ha, "Gịnị ka anyị nọ n'ebe a na-eme? Ọ bụ ka anyị nọrọ n'ebe a tutu anyị anwụọ? 4 Ọ bụrụ na anyị asị, 'Anyị ga-abanye n'ime obodo,' ụnwụ dị n'ebe ahụ, anyị ga-anwụkwa. Ọ bụrụkwanụ na anyị anọgide n'ebe a anyị ga-anwụ. Ya mere ka anyị gafeenụ banye n'ọmụma ụlọ ikwu ndị agha Aram, were onwe anyị nyefee ha n'aka. Ọ bụrụ na ha edebe anyị ndụ, anyị ga-adị ndụ, ọ bụrụ na ha egbuo anyị, anyị ga-anwụkwa."
5 N'oge uhuruchi, ha biliri gaa n'ọmụma ụlọ ikwu ndị agha Aram. Mgbe ha bịarutere n'ọnụ ụlọ ikwu ahụ, o nwekwaghị onye nọ n'ebe ahụ, 6 n'ihi na Onyenwe anyị mere ka ndị Aram nụ ụzụ ụgbọ agha na nke ịnyịnya, na nke usuu ndị agha. Nke

---

‡ **6:25** 6:25 Ịnyịnya ibu so n'anụ ụmụ Izrel na-ekwesighị iri n'ihi na ọ dịghị ọcha. Lev 11:4 * **7:1** 7:1 2Ez 6:24-29 † **7:1** 7:1 2Ez 7:18-19 ‡ **7:3** 7:3 Onye ọbụla na-arịa ọrịa ekpenta a gaghị ebi n'ime obodo n'etiti ụmụ mmadụ. Lev 13:45-46; Ọnụ 5:2-4; 12:10.

a mere ka onye ọbụla gwa ibe ya sị, “Lee, eze ndị Izrel egoola ndị agha ndị Het, na
ndị eze Ijipt ibuso anyị agha.”
7 Ha biliri gbapụ ọsọ n’abalị ahụ, hapụ ụlọ ikwu ha
niile, na ịnyịnya ha niile, na ịnyịnya ibu ha niile, na ihe niile otu o si dịrị, ma gbapụ
ọsọ ndụ.
8 Mgbe ndị ekpenta ahụ rutere ogige ndị agha ndị Siria, ha banyere n’ime otu ụlọ
rie ihe, ṅụkwaa ihe ọṅụṅụ dị n’ime ya. Ha chịịrị ọlaọcha na ọlaedo na uwe ọma
niile dị n’ime ya gaa zoo ha. Ọzọkwa, ha lọghachiri banye n’ụlọ ọzọ kwakọrọ ụfọdụ
ihe dị n’ime ya gaa zoo.
9 Ma mgbe ahụ ha sịrịtara onwe ha, “Ihe anyị na-eme ezighị ezi. Taa bụ ụbọchị
oziọma, ma lee ka anyị na-agba nkịtị. Ọ bụrụ na anyị echere ruo ìhè ụtụtụ, a ga-
achọpụta ajọọ omume anyị. Ugbu a bịanụ, ka anyị gaa gwa ndị nọ n’ụlọeze, ihe anyị
hụrụ.”
10 Ya mere, ha gara kpọkuo ndị nche ọnụ ụzọ obodo ahụ, gwa ha sị, “Anyị banyere
n’ogige ndị agha Aram, o nweghị mmadụ ọbụla nọ n’ebe ahụ, ọ dịghị olu mmadụ
anyị nụrụ n’ebe ahụ, naanị ịnyịnya na ịnyịnya ibu elibere n’osisi, na ụlọ ikwu ha a
hapụrụ dịka ha dị.”
11 Ndị na-eche nche tiri mkpu kọọrọ ndị nọ n’ụlọeze ihe mere.
12 Eze biliri n’abalị ahụ gwa ndịisi ọrụ ya sị, “Ka m gwa unu ihe ndị Aram mere
anyị. Ha maara na anyị nọ n’oke agụụ, n’ihi ya, ha akpacharala anya hapụ ọmụma
ụlọ ikwu ha gaa zoo onwe ha n’ime ọhịa. Echiche ha bụ, ‘Ndị a ga-apụtarịrị, mgbe
ahụ, anyị ga-ejide ha na ndụ, banyekwa n’ime obodo ha.’ ”
13 Ma otu onye n’ime ndịisi agha ya zara sị ya, “Ka ụfọdụ mmadụ duru ịnyịnya ise
ndị ahụ fọdụrụ n’obodo. Ọ bụrụ na ndị a alọtaghị ọnọdụ ha ga-adị ka nke ndị Izrel
niile fọdụrụ n’ebe, e, ha ga-adị ka ndị Izrel niile a gụrụ dịka ndị nwụrụ anwụ. Ya
mere, ka anyị zipụ ha ka ha gaa chọpụta ihe mere.”
14 Ya mere, ha họpụtara ụgbọ agha abụọ na ịnyịnya ndị na-adọkpụ ha. Eze zipụrụ
ha ịchụso ndị agha Aram, O nyere ndị na-agba ha iwu sị, “Gaanụ chọpụta ihe mere.”
15 Ha sogidere ha ruo n’osimiri Jọdan. N’akụkụ ụzọ niile jupụtara n’uwe na ngwa
agha ndị agha Aram tufuru mgbe ha na-eme ngwangwa. Ndị ahụ e zipụrụ lọghachiri
bịa kọọrọ eze ihe ha hụrụ.
16 Ndị Izrel niile pụrụ gaa kwakọrọ ihe dị n’ọmụma ụlọ
ikwu ndị Aram. Nke bụ na e rere otu akpa nta ụtụ ọka a kwọrọ nke ọma otu shekel,
rekwaa akpa ọka balị abụọ otu shekel dịka Onyenwe anyị si kwuo.
17 Eze họpụtara ọchịagha ahụ, nke ọ na-adabere n’aka ya, nye ya ọrụ ilekọta ọnụ
ụzọ obodo ahụ. Ma ndị si n’obodo na-enupụta nuturu ya, zọọ ya ụkwụ, zọgbuo ya
mgbe ha na-agbapụta.§ Ọ nwụrụ dịka Ịlaisha onye nke Chineke kwuru mgbe eze
bịakwutere ya ụnyaahụ, ijide ya.
18 Ihe niile mezuru dịka onye nke Chineke gwara
eze okwu sị ya, “A ga-ere akpa nta ọka balị abụọ otu shekel na otu akpa nta ụtụ ọka
otu shekel, n’ọnụ ụzọ ama Sameria.”
19 N’oge ahụ, ọchịagha ahụ na-ejere eze ozi zara sị ya, “Ihe dị otu a agaghị eme,
ọ bụladị na Onyenwe anyị emeghee eluigwe mee ka nri zoo, nke a ọ ga-eme?” Ma
onye nke Chineke zara ya, “Ị ga-eji anya gị hụ ya, ma ị gaghị eso rie ya.”
20 Ọ bụkwa
otu a ka o si mee, n’ihi na ndị mmadụ zọgburu ya n’ụkwụ n’ọnụ ụzọ ama, ebe ọ nọ
nwụọ.

# 8

*Nlọghachi nwanyị Shunem*

1 Ịlaisha gwara nwanyị ahụ o mere ka nwa ya si n’ọnwụ bilie okwu sị ya, “Bilie,
gị na ezinaụlọ gị, gaa n’obodo ọzọ ebe unu ga-anọ dịka ọbịa n’ihi na Onyenwe anyị

§ **7:17** 7:17 Amụma ahụ mezuru n’isi ọchịagha eze dịka e kwuru ya. 2Ez 7:2

ekwuola na oke ụnwụ ga-adakwasị ala Izrel afọ asaa.” 2 Nwanyị ahụ mere dịka onye
nke Chineke gwara ya, o biliri, ya na ezinaụlọ ya gaa biri n’ala ndị Filistia* afọ asaa.
3 Mgbe ụnwụ ahụ gwụsịrị n’afọ nke asaa, o si n’ala ndị Filistia lọta n’Izrel. Mgbe ọ
lọtara, o jekwuuru eze ka o nyere ya aka inwetaghachi ụlọ ya na ala ya. 4 Mgbe
nwanyị ahụ bịakwutere eze, eze nọ na-agwa Gehazi bụ onye na-ejere onye nke
Chineke ozi okwu sị ya, “Biko, kọọrọ m akụkọ ihe ukwu niile Ịlaisha mere.” 5 Mgbe
Gehazi na-akọrọ eze otu Ịlaisha si mee ka nwantakịrị nwụrụ anwụ dị ndụ ọzọ,
nwanyị ahụ, onye bụ nne nwantakịrị ahụ, batara n’ime ụlọeze.

Mgbe ahụ, Gehazi kwuru sị, “Onyenwe m eze, onye a bụ nwanyị ahụ, leekwa nwa
ya nwoke, onye Ịlaisha mere ka ọ dị ndụ ọzọ.” 6 Eze jụrụ nwanyị ahụ ajụjụ sị ya, “Ọ
bụ eziokwu?” Nwanyị ahụ kọọrọ eze akụkọ ihe niile mere.

Mgbe ahụ, eze dunyere ya otu onyeisi n’ime ndị ozi ya ka o nyere ya aka inwetaghachi ihe ya niile, ya na ụgwọ ruru ya n’ihi mkpụrụ ubi ya niile ha ghọrọ mgbe ahụ o bi n’ala ndị Filistia.

### *Hazael egbuo Ben-Hadad*

7 Mgbe ihe ndị a gasịrị Ịlaisha gara Damaskọs, isi obodo ndị Siria. N’oge a, Ben-
Hadad eze Aram, na-arịa ọrịa. “A gara gwa eze na onye nke Chineke abịala n’ebe
ahụ.” 8 Mgbe eze nụrụ ya, ọ kpọrọ Hazael sị ya, “Were onyinye ịnata ihuọma n’aka
gị wegara onye nke Chineke, site n’aka ya jụta ONYENWE ANYỊ ase. Jụọ ya, ‘M ga-esi
n’ọrịa a bilie?’ ”
9 Hazael weere iri ịnyịnya kamel anọ buru ezi ihe niile si n’ala Damaskọs,† wetara
Ịlaisha onyinye ndị a sị ya, “Nwa gị Ben-Hadad, eze Aram, zitere ka m jụọ gị sị, ‘M
ga-esi n’ọrịa a bilie?’ ”
10 Ịlaisha zara sị ya, “Laa, gaa gwa ya sị ya, ‘Ị ga-esi n’ọrịa bilie.’ Ma ONYENWE
ANYỊ egosila m na, n’ezie, ọ ga-anwụ.” 11 Mgbe Ịlaisha nọ na-ekwu okwu a, o legidere
Hazael anya n’ihu tutu ruo mgbe ihere mere ya. Mgbe ahụ, onye nke Chineke kwara
akwa.
12 Mgbe ahụ, Hazael jụrụ Ịlaisha ajụjụ sị, “Ọ bụ gịnị mere onyenwe m ji akwa
akwa?”

Ịlaisha zara sị ya, “N’ihi na amaara m ihe ọjọọ ị ga-eme ụmụ Izrel n’oge dị n’ihu. Ị ga-akpọ obodo niile ha e wusiri ike ọkụ, jiri mma agha gbuo ụmụ okorobịa ha. Ị ga-atụpịa ụmụntakịrị na-aṅụ ara, bọwakwaa afọ ndị inyom dị ime.”
13 Hazael sịrị, “Olee otu ọrụ gị, bụ nkịta efu, ga-esi nwee ike imezu ihe ukwuu a?”

Ịlaisha zara, “ONYENWE ANYỊ egosila m na ị ga-abụ eze Aram.”
14 Mgbe Hazael, si n’ebe Ịlaisha nọ laa, ọ bịakwutere nna ya ukwu. Mgbe Ben-
Hadad jụrụ ya sị, “Gịnị ka Ịlaisha gwara gị?” Hazael zara sị, “Ọ gwara m na ị ga-esi
n’ọrịa bilie.” 15 Ma n’echi ya, Hazael chịịrị akwa na-egbo oyi, banye ya na mmiri jiri
ya baa n’ebe eze dina, gbasaa ya n’ihu eze, tutu ruo mgbe ọ nwụrụ. Emesịa, Hazael
ghọrọ eze n’ọnọdụ ya.

### *Jehoram eze Juda*

16 N’afọ nke ise nke ọchịchị Joram nwa Ehab eze Izrel, mgbe Jehoshafat bụ eze
Juda, ka Jehoram nwa Jehoshafat malitere ọchịchị ya dịka eze Juda. 17 Ọ dị iri afọ atọ
na abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze, ọ chịrị afọ asatọ na Jerusalem. 18 O soro ụzọ ndị eze
Izrel dịka ụlọ Ehab mere, n’ihi na ọ lụrụ ada Ehab. O mere ihe dị njọ n’anya ONYENWE
ANYỊ. 19 Ma n’agbanyeghị nke a, n’ihi ohu ya bụ Devid ONYENWE ANYỊ achọghị ibibi

---

* **8:2** 8:2 Ọ bụghị naanị n’ala Filistia na-emepụta nri karịa ala ugwu ugwu Izrel, kama ndị agha Siria adịghị e buso ha agha mgbe mgbe, dịka ha na-eme ndị Izrel. † **8:9** 8:9 Damaskọs, bụ isi obodo dị mkpa ebe a na-azụ ahịa, nke dị n’etiti mba Ijipt, na Eshịa nke mpaghara Tọki na Mesopotamịa.

Juda. N'ihi na o kwere nkwa ime ka oriọna dịịrị Devid na ụmụ ụmụ ruo mgbe ebighị ebi.
20 N'oge Jehoram bụ eze, ka Edọm si n'okpuru Juda nupu isi, họpụtara onwe ha
eze. 21 Ya mere, Jehoram‡ duuru ụgbọ agha ya niile gaa n'obodo Zaịa. O biliri n'abalị tigbuo ndị Edọm ahụ gbara ya na ndị ọchịagha ụgbọ agha ya gburugburu; ma ndị
agha ya gbaghachiri azụ, laa n'ụlọ ha. 22 Ya mere, Edọm ka na-enupu isi megide Juda,
ruo taa.
Obodo Libna nupukwara isi n'otu oge ahụ.
23 Akụkọ ihe niile Jehoram mere, e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ihe ndị eze Juda
mere n'ụbọchị ndụ ha? 24 Joram sooro ndị nna nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya n'ebe e liri nna ya ha n'obodo Devid. Ahazaya nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

### *Ahazaya eze Juda*

25 N'afọ nke iri na abụọ nke ọchịchị Joram nwa Ehab, bụ eze Izrel, ka Ahazaya nwa
Jehoram, bụ eze Juda malitere ịchị. 26 Ahazaya gbara iri afọ abụọ na abụọ mgbe ọ
malitere ịbụ eze, ọ chịrị otu afọ na Jerusalem. Aha nne ya bụ Atalaya,§ nwa nwa
Omri, eze Izrel 27 O soro ụzọ niile nke ndị ezinaụlọ Ehab, mee ihe dị njọ n'anya ONYENWE ANYị dịka ezinaụlọ Ehab mere, n'ihi na ọ lụrụ nwanyị si n'ezinaụlọ Ehab.
28 Ahazaya sooro Joram nwa Ehab, gaa ibuso Hazael eze Aram* agha na Ramọt
Gilead. Ndị Aram merụrụ Joram ahụ. 29 Ya mere, eze Joram lọghachitere na Jezril,
ka a gwọọ ya mmerụ ahụ ndị Aram merụrụ ya na Ramọt, n'agha nke ya na Hazael eze Aram lụrụ.
Mgbe ahụ, Ahazaya nwa Jehoram eze Juda, gara Jezril ileta Joram nwa Ehab, n'ihi na e merụrụ ya ahụ.

## 9

### *Jehu na ọnwụ Jezebel*

1 Emesịa, Ịlaisha onye amụma, kpọrọ otu onye n'ime ụmụ ndị amụma sị ya, "Jikere,
fanye ọnụ uwe mwụda gị n'eriri ikere n'ukwu gị,* werekwa karama mmanụ oliv a
n'aka gị, bịa ka ị gaa Ramọt Gilead. 2 I jeruo ebe ahụ, jee hụ Jehu nwa Jehoshafat,
nwa Nimshi anya. Mee ka o bilie site n'etiti ndị ha na ya nọ. Mekwaa ka gị na ya
naanị baa n'ime ụlọ. 3 Were karama mmanụ wụkwasị ya n'isi gwa ya okwu sị, 'Otu
a ka ONYENWE ANYị kwuru, eteela m gị mmanụ ịbụ eze Izrel.' I mesịa, meghe ụzọ ọsịịsọ, sitekwa n'ebe ahụ gbapụ ọsọ."
4 Nwokorobịa onye amụma ahụ gara Ramọt Gilead. 5 Mgbe o jeruru, ọ hụrụ ebe
ọchịagha ahụ nọdụrụ n'ala n'etiti ndịisi agha ibe ya. O kwuru sị, "Enwere m ozi m ga-ezi gị, ọchịagha."
Jehu jụrụ, "Ọ bụ onye n'ime anyị ka ị chọrọ izi ozi?"
Ọ zara, "Ọ bụ gị ọchịagha."
6 Jehu biliri baa n'ime ụlọ. Nwokorobịa onye amụma ahụ wụkwasịrị ya mmanụ
n'isi, sị ya, "Otu a ka ONYENWE ANYị, Chineke Izrel sịrị, 'Eteela m gị mmanụ ịbụ eze
ndị nke ONYENWE ANYị, bụ Izrel. 7 Ị ga-ekpochapụ ezinaụlọ Ehab, nna gị ukwu, aga m esi otu a bọtara onwe m ọbọ, n'ihi ọbara ndị ohu m, bụ ndị amụma na ọbara ndị
ozi ONYENWE ANYị niile Jezebel wufuru. 8 Ezinaụlọ Ehab ga-abụ ihe lara n'iyi. N'ala Izrel, m ga-esite n'ezinaụlọ Ehab bipụ ndị ikom niile, maọbụ ohu maọbụ onye nwe
onwe ya. 9 M ga-ala ụlọ Ehab n'iyi, ka m si laa ezinaụlọ Jeroboam nwa Nebat n'iyi,
na dịka m si lakwaa ezinaụlọ Baasha, nwa Ahija n'iyi. 10 Nkịta ga-erikwa anụ Jezebel

‡ **8:21** 8:21 Joram, nke a bụ ịkpọbiri aha a na nkenke § **8:26** 8:26 Atalaya, bụ nwunye Joram, bụrụkwa nwa eze Ehab, onye Jezebel mụrụ ya. 2Ih 21:6 * **8:28** 8:28 Maọbụ, Siria * **9:1** 9:1 Lit. belịt

nwunye Ehab na Jezril. Ọ dịkwaghị onye ga-eli ya.’ ” Mgbe o kwuchara okwu ndị a,
onye amụma ahụ meghere ụzọ gbapụ ọsọ.
11 Jehu jekwuuru ndịisi agha ibe ya. Otu onye n’ime ha jụrụ ya sị, “Gịnị ka onye
ara ahụ chọrọ bịa? Udo ọ dịkwa?”
Jehu zara, “Unu maara onye ọ bụ, marakwa ụdị okwu ga-esi ya n’ọnụ pụta.”
12 Ha sịrị, “Ihe i kwuru abụghị eziokwu, gwa anyị ihe o kwuru.”
Jehu sịrị, “Ihe ndị a ka ọ gwara m, ‘Otu a ka a ONYENWE ANYỊ kwuru, Eteela m gị
mmanụ ịbụ eze Izrel.’ ”
13 Ngwangwa ha chịịrị uwe mgbokwasị ha niile doo ha n’usoro n’ala ebe ahụ ka
Jehu zọkwasị ha ụkwụ. Ha fụrụ opi ike tie mkpu sị, “Jehu bụ eze!”

### *Jehu egbuo Joram na Ahazaya*

14 Otu a ka Jehu nwa Jehoshafat, nwa Nimshi, si gbaa izu megide Joram. (N’oge a,
Joram na ndị Izrel niile na-eche Ramọt Gilead nche, n’ihi Hazael eze Aram.) 15 Ma
Joram bụ eze, laghachitere na Jezril ebe ọ nọ ka ahụ dị ya mma maka ahụ ndị Aram
merụrụ ya mgbe ya na Hazael, eze Aram lụrụ agha. Ya mere, Jehu sịrị, “Ọ bụrụ na
nke a bụ uche unu, ime m eze unu, unu ekwela ka onye ọbụla si n’obodo a gbapụ, gaa
Jezril kọọ akụkọ a.” 16 Mgbe ahụ, Jehu wụkwasịrị n’elu ụgbọ agha ya gbaga Jezril,
n’ihi na Joram nọ n’ebe ahụ na-ezu ike. Ma Ahazaya, bụ eze Juda gakwara ileta ya.
17 Mgbe onye nche nọ n’ụlọ elu Jezril hụrụ Jehu na ndị agha ya ka ha na-abịa, o
tiri mkpu sị, “Lee, o nwere ndị agha na-abịa.”
Joram eze Izrel nyere iwu sị, “Zipụ otu onye na-agba ịnyịnya ka ọ gaa zute ha jụọ
ha sị, ‘Udo ọ dịkwa?’ ”
18 Onye ọgbaịnyịnya ahụ nọkwasịrị n’elu ya gbapụ izute Jehu, sị, “Otu a ka eze
sịrị, ‘Udo ọ dịkwa?’ ”
Jehu zara, “Gịnị ka gị na udo nwekọrọ? Tụgharịa gaa soro m n’azụ.”
Onye nche ahụ ziri ozi sị, “Onyeozi ahụ ezutela ha, kama ọ naghị alọta.”
19 Eze zipụrụ onye ọgbaịnyịnya nke abụọ. Mgbe ọ bịakwutere ha ọ sịrị, “Otu a ka
eze sịrị, ‘Udo ọ dịkwa?’ ”
Jehu zara, “Gịnị ka gị na udo nwekọrọ? Chigharịa soro m n’azụ.”
20 Onye ahụ nọ na-eche nche sịrị, “Ọ garuola ha nso, ma ọ dịghị alọghachitekwa
azụ. Ma ọgbụgba ịnyịnya dịka ọ bụ Jehu nwa Nimshi, n’ihi na ọ na-agba ịnyịnya ya
dịka onye na-ayị ara.”
21 Joram nyere iwu sị, “Kwadooro m ụgbọ agha m.” Mgbe a kwadooro ya, Joram
eze Izrel, na Ahazaya, eze Juda, pụtara nọkwasị n’ụgbọ agha, onye ọbụla na nke ya,
pụọ ịga izute Jehu. Ha zutere ya n’oke ala ubi Nebọt, onye Jezril. 22 Mgbe Joram hụrụ
Jehu, ọ jụrụ, “Ị bịara n’udo? Udo ọ dịkwa, Jehu?”
Jehu zara, “Olee otu udo ga-esi dịrị, ebe ọ bụ na ihe ọjọọ niile nke ikpere arụsị na
mgbaasị nke Jezebel nne gị, jupụtara n’ebe niile.”
23 Joram chigharịrị ụgbọ agha ya bido ịgba ọsọ. Mgbe ọ na-agba ọsọ, o tiri mkpu
kpọkuo Ahazaya sị ya, “Ahazaya, Aghụghọ dị, ọgbaaghara dị!”
24 Jehu jiri ike ya niile dọtịa ụta o ji n’aka ya gba ya Joram. Ọ gbatara Joram àkụ
ahụ n’azụ. Àkụ ahụ sikwa ya n’obi pụta. Nke a mere ka Joram daa n’ime ụgbọala
ya nwụọ. 25 Mgbe ahụ, Jehu sịrị Bidka, bụ onyeisi agha ya, “Bulie ya, tụba ya n’ubi
Nebọt onye Jezril. Chetakwa na mụ na gị nọkwasịrị n’elu ịnyịnya, anyị abụọ, na-
eso nna ya Ehab, mgbe ONYENWE ANYỊ kwuru okwu amụma a megide ya. 26 ‘N’ezie,
ahụrụ m ọbara Nebọt na ọbara ụmụ ya ndị ikom ụnyaahụ, otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwupụtara, n’ihi ya, aghaghị m ime ka ị kwụghachi ụgwọ ọbara ha n’ala ubi a.’
Ugbu a, bulie ya tụba ya n’ala ubi a dị ka okwu ONYENWE ANYỊ si dị.”
27 Mgbe Ahazaya eze Juda, hụrụ ihe mere, ọ gbaara ọsọ na-agbago n’ụzọ Bet Hagan.
Ma Jehu chụsoro ya, na-eti mkpu sị, “Gbukwuonụ ya.” Ha merụrụ ya ahụ ka ọ nọ

n'ụgbọ agha ya, n'ụzọ ịga Gua, nso Ibleam, ọ gbara ọsọ ga Megido ebe ọ nọ nwụọ.
28 Ndị ohu ya ji ụgbọ agha bịa buru ozu ya bubata ya na Jerusalem, lie ya n'ebe e liri
nna nna ya ha, n'obodo Devid. 29 N'afọ iri na otu nke ọchịchị Joram nwa Ehab, ka
Ahazaya malitere ịbụ eze Juda.

### *Ọnwụ Jezebel*

30 Mgbe Jezebel nụrụ na Jehu abịaruola Jezril, ọ banyere n'ụlọ ya, tee uri n'anya
abụọ, dozie agịrị isi ya, pụta bịa nọdụ ala n'akụkụ oghereikuku, site n'ebe ahụ na-
elepụ anya n'ezi. 31 Mgbe Jehu batara n'ọnụ ụzọ e si abata ụlọeze, Jezebel kpọkuru
ya sị, "Ị bịara n'udo, gị Zimri, gị onye gburu nna gị ukwu."
32 Jehu leliri anya elu lee anya na oghereikuku tie mkpu sị, "Onye dịnyeere m?"
Onozi abụọ maọbụ atọ na-eje ozi n'ụlọeze lepụtara anya lee ya anya. 33 Jehu nyere
ha iwu sị ha, "Tụdanụ ya n'ala." Ya mere, ha si n'elu ebe ahụ tụda ya n'ala. Mgbe ọ
daruru ala, ọbara ya fesasịrị n'ahụ mgbidi ụlọ na n'ahụ ịnyịnya ndị ji ụkwụ ha zọjaa
ya.
34 Jehu banyere nọ n'ime ụlọeze rie ihe, ṅụkwaa ihe ọṅụṅụ. Emesịa, o nyere iwu
sị, "Leenụ nwanyị a a bụrụ ọnụ; burunu ya gaa lie ya, n'ihi na ọ bụ ada eze."† 35 Mgbe
ha pụtara ili ya, ọ bụ naanị okpokoro isi ya na ọkpụkpụ ụkwụ ya abụọ, na aka ya
abụọ ka ha hụrụ. Ha ahụkwaghị anụ ahụ ya. 36 Ha laghachiri gwa Jehu ihe ha hụrụ.
Ọ zara sị ha, "Nke a bụ okwu ONYENWE ANYỊ, nke o kwuru site n'ọnụ ohu ya Ịlaịja
onye Tishbe sị: 'N'ala ubi dị na Jezril ka nkịta ga-anọ rie anụ ahụ Jezebel. 37 Ozu
Jezebel ga-adị ka unyi n'ala ubi dị na Jezril, ruo na mmadụ enweghị ike ikwupụta sị,
Nke a bụ Jezebel.' "

# 10

### *Ọgwụgwụ ezinaụlọ Ehab*

1 Ugbu a, e nwere ụmụ Ehab ndị ikom ọnụọgụgụ ha dị iri asaa ndị nọ na Sameria,*
Jehu dere akwụkwọ ozi ziga Sameria, zigara ndịisi obodo Jezril, zigakwara ndị okenye
na ndị na-elekọta ụmụ Ehab ndị ahụ. Ọ sịrị, 2 "Ugbu a, mgbe akwụkwọ a rutere unu
aka, ebe unu na ụmụ ndị ikom nna unu ukwu nọ, ebe unu nwekwara ụgbọ agha na
ịnyịnya, na obodo e wusiri ike na ngwa agha, 3 họpụtanụ onye kachasị inwe ugwu
ma kwesikwa n'ime ụmụ ndị ikom nna unu ukwu, mee ka ọ nọkwasị n'ocheeze nna
ya. Mgbe ahụ, buo agha chebe ụlọ nna unu ukwu."
4 Ma ha tụrụ egwu n'ebe ọ dị ukwuu, sị, "Lee, eze abụọ† enweghị ike iguzogide ya,
anyị onwe anyị ga-esi aṅaa guzogide ya?"
5 Ya mere, onye ọ dị n'aka ilekọta ezinaụlọ eze, onyeisi obodo, ndị okenye na ndị
niile na-elekọta ụmụ Ehab, dere akwụkwọ a zigara Jehu, sị ya, "Jehu, anyị niile bụ
ndị ohu gị. Anyị jikeere ime ihe niile i gwara anyị. Anyị agaghị ahọpụta onye ọbụla
dịka eze; gị onwe gị mee ihe ọbụla ị chere na ọ bụ ya kachasị mma."
6 Mgbe ahụ, Jehu degaara ha akwụkwọ nke ugboro abụọ sị ha, "Ọ bụrụ na unu
dịnyeere m, ọ bụrụkwa na unu ga-erube isi nye m, chịrịnụ isi ụmụ ndị ikom nna
unu ukwu, bịakwute m n'otu oge a echi na Jezril."
N'oge ahụ, ụmụ eze iri ndị ikom asaa nọ n'aka ndịisi obodo ahụ, ndị na-azụlite
ha. 7 Mgbe akwụkwọ ozi ahụ rutere ha, ndị ikom ahụ kpọrọ ụmụ ndị ikom eze dị iri
asaa n'ọnụọgụgụ gbuo ha niile, chịrị isi ha tinye na nkata zigara ya Jehu na Jezril.
8 Mgbe onyeozi bịarutere, ọ gwara Jehu sị, "Ha ebutala isi ụmụ ndị ikom eze."

---

† **9:34** 9:34 Jezebel bụ ada Etbaal, eze ndị Saịdọn 1Ez 16:31 * **10:1** 10:1 Sameria, bụ isi obodo alaeze Ugwu, site n'oge eze Omri chịrị Izrel. 1Ez 16:24 † **10:4** 10:4 Eze abụọ a na-ekwu banyere ha n'ebe a, bụ Joram na Ahazaya. 2Ez 9:23-28

Mgbe ahụ, Jehu nyere iwu sị, “Tụkọbanụ ha ọnụ n’oke abụọ, n’ọnụ ụzọ e si abata
obodo, tutu ruo ụtụtụ.”
9 N’ụtụtụ ya, Jehu pụrụ, guzoro n’ihu ndị niile gbakọrọ n’ebe ahụ gwa ha okwu sị,
“Ndị Izrel, unu bụ ndị ezi omume. Ọ bụ mụ onwe m gbara izu ọjọọ megide nna m
ukwu, gbuo ya, ma onye gburu ndị a niile? 10 Matanụ nke ọma na o nweghị okwu
ọbụla Onyenwe anyị kwuru megide ezinaụlọ Ehab nke na-agaghị emezu. Onyenwe
anyị emeela ihe o kwere nkwa na ọ ga-eme site n’ọnụ ohu ya Ịlaịja.” 11 Emesịa, Jehu
gburu ndị ikwu Ehab fọdụrụ n’obodo Jezril, ha na ndịisi niile, na ndị enyi ya niile,
na ndị nchụaja ya niile. Ọ dịkwaghị otu onye ikwu Ehab ọ hapụrụ ndụ.
12 Emesịakwa, Jehu hapụrụ Jezril gaa Sameria. Mgbe ọ na-aga n’ụzọ, ọ bịaruru ebe
a na-akpọ Ebe Izuike Ndị ọzụzụ atụrụ. 13 N’ebe ahụ, o zutere ndị ụmụnna Ahazaya,
eze Juda, jụọ sị, “Olee ndị ka unu bụ?”
Ha zara, “Anyị bụ ndị ikwu Ahazaya, eze Juda, anyị bịara ka anyị jụọ maka ọdịmma
ndị ezinaụlọ eze na nne eze.”
14 O nyere iwu sị, “Jidenụ ha na ndụ.” Ha jidere ha na ndụ, gbukwaa ha niile
n’akụkụ olulu miri nke Bet-Eked. Ọnụọgụgụ ha dị iri anọ na abụọ. O nweghị onye
ọbụla ọ hapụrụ ndụ.
15 Mgbe o si n’ebe ahụ pụọ, o zutere Jehonadab nwa Rekab,‡ ka ọ na-abịa izute ya.
Jehu kelere ya, sị, “Obi gị, o ziri ezi nwee nkwekọrịta, dịka obi m dị n’ebe ị nọ?”
Jehonadab zara sị ya, “E.”
Jehu sịrị, “Ọ bụrụ na o si otu a dịrị, kwe m n’aka.” Jehonadab kwere ya n’aka.
Jehu n’onwe ya nyeere ya aka ka ọ rigota n’ụgbọ agha ya. 16 Mgbe ahụ, Jehu sịrị ya,
“Ugbu a, soro m bịa lee ụdị ịnụ ọkụ n’obi m nwere maka ọrụ Onyenwe anyị.” Ha
abụọ sooro n’ụgbọ agha Jehu.
17 Mgbe ha bịaruru Sameria, Jehu gburu ndị enyi na ndị ikwu Ehab niile, ndị fọdụrụ
site n’ikwu Ehab, o bibiri ha dịka okwu Onyenwe anyị kwuru site n’ọnụ onye amụma
Ịlaịja.

### *Ogbugbu ndị nchụaja Baal*

18 Emesịa, Jehu kpọkọtara ndị obodo ahụ niile sị ha, “Ehab fere Baal ofufe nke nta,
Jehu ga-efe ya ebe ọ dị ukwuu. 19 Ugbu a, kpọkọtaanụ ndị amụma Baal niile, ndị niile
na-efe ya, na ndị nchụaja ya niile. Hụnụ na onye ọbụla n’ime ha bịara, n’ihi na a
ga-eme oke mmemme ịchụ aja nye Baal. Onye ọbụla e lere anya ya n’ebe ahụ, ma a
hụghị ya, agaghị adị ndụ.” Ma Jehu ji aghụghọ n’ihi ka ọ laa ndị a na-efe Baal n’iyi.
20 Jehu sịrị, “Kpọsaanụ na a ga-enwe oke mkpọkọta dị nsọ nye Baal.” Ya mere,
ha kwusara ya. 21 O zipụrụ ozi nye ndị bi n’akụkụ Izrel niile. Ndị niile na-efe Baal
bịazuru. Ọ dịghị onye fọdụrụ nke na-abịaghị. Ha jupụtara n’ụlọnsọ ukwu Baal§ site
n’otu isi ya ruo n’isi nke ọzọ. 22 Jehu sịrị onye na-elekọta ụlọ ebe a na-edebe uwe ndị
na-efe ofufe na-eyi, “Chịpụta uwe nye ndị niile na-efe Baal.” Ya mere, ọ chịpụtaara
ha uwe.
23 Mgbe ahụ, Jehu na Jehonadab nwa Rekab, banyere n’ebe nzukọ Baal. Jehu
sịrị ndị n’efe Baal, “Chọzienụ nke ọma ka unu hụ na o nweghị onye ọbụla na-efe
Onyenwe anyị nọ n’ebe a, karịakwa naanị ndị na-efe Baal.” 24 Mgbe ha malitere
ịchụ aja na isure ihe nsure ọkụ, Jehu emeelarị ka iri ndị agha asatọ gbaa ụlọ ahụ
niile gburugburu. O nyelarị iwu sị, “Ọ bụrụ na unu ekwere ka otu onye si n’ime ụlọ
a gbapụ, unu ga-eji ndụ unu kwụghachi ụgwọ onye dị otu ahụ.”

---

‡ **10:15** 10:15 Ndị Rekab, bụ ndị sitere n’agbụrụ Rekab, onye sitere n’agbụrụ ndị Kena. Ha bụ agbụrụ na-ebi ndụ ogologo n’ihi na anyị nụrụ ihe banyere ha n’akwụkwọ onye amụma Jer 35:5-10 Ha n’ebi n’ụlọ ikwu, bụrụkwa ndị nwere ezi ịnụ ọkụ n’obi banyere ihe Chineke. Jetro, ọgọ nwoke Mosis si n’agbụrụ a. Ọpụ 3:1; 4:18; 18:5; Ọnụ 10:29 § **10:21** 10:21 Ehab bụ onye wuru ebe a, nke a na-anọ achụrụ arụsị Baal aja na Sameria. 1Ez 16:32

25 Ngwangwa Jehu chụchasịrị aja nsure ọkụ, ọ pụrụ gwa ndị agha ya, na ndịisi
ha okwu sị, "Baanụ n'ime ụlọ gbuo ndị niile nọ n'ebe ahụ. Unu ekwela ka otu onye
n'ime ha gbapụ." Ha jiri mma agha gbuo ndị ahụ nọ n'ime ụlọ Baal, tụpụta ozu ha
n'ezi. Emesịa, ndị agha Jehu banyere n'ime ime ụlọ ebe ịchụ aja Baal, 26 ha bupụtara
ogidi nsọ e ji efe Baal, kpọọ ha ọkụ. 27 Ha kwaturu ogidi nsọ Baal, kwatukwaa ụlọ
ịchụ aja ya. Ya mere e megharịrị ya ka ọ bụrụ ebe ọha mmadụ na-aga ogwe ruo taa.
28 Jehu kpochapụrụ ofufe Baal n'ala Izrel niile. 29 Ma otu ọ dị, o siteghị na mmehie
Jeroboam nwa Nebat wezuga onwe ya. Mmehie nke Jeroboam mere ka Izrel mehie,
ya bụ, mmehie nke ife arụsị ụmụ ehi e ji ọlaedo kpụọ, dị na Betel na Dan.
30 Onyenwe anyị gwara Jehu sị, "N'ihi na i mere nke ọma mezuo ihe niile ziri ezi
n'anya m, n'ebe ezinaụlọ Ehab nọ, n'usoro ihe niile dị n'uche m ime, ụmụ ụmụ gị
ga-anọkwasị n'ocheeze Izrel, ruo n'ọgbọ nke anọ ha." 31 Ma Jehu akpachapụghị anya
iji obi ya niile debe iwu Onyenwe anyị, Chineke Izrel. O siteghị na mmehie Jeroboam
wezuga onwe ya, bụ mmehie ahụ o mere ka Izrel mee.
32 N'oge ahụ, Onyenwe anyị malitere ime ka ndị Izrel bido ịdị nta. Hazael eze Aram,
buru agha merie ọtụtụ akụkụ Izrel, 33 nke dị n'ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan, na
ala niile nke Gilead (n'oke ala ndị Gad, na nke ndị Ruben, na Manase), site n'Aroea
nke dị n'akụkụ ndagwurugwu Anọn, ruo Gilead na Bashan.
34 Akụkọ gbasara ọchịchị eze Jehu, na ihe niile o mere, na ịkpa ike ya niile, e deghị
ha n'akwụkwọ akụkọ ndị eze Izrel?
35 Jehu sooro ndị nna nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya na Sameria. Nwa ya bụ
Jehoahaz nọchiri anya ya dịka eze. 36 Ma ụbọchị niile Jehu bụ eze Izrel n'ime Sameria
dị iri afọ abụọ na asatọ.

# 11

### *Atalaya na Joash*

1 Mgbe Atalaya nne Ahazaya hụrụ na nwa ya nwoke anwụọla, ọ gara n'ihu bido
igbu ndị niile a mụrụ n'ụlọ eze. 2 Ma Jehosheba,* bụ nwa nwanyị eze Jehoram,† ma
bụrụkwa nwanne nwanyị Ahazaya, kuuru Joash‡ nwa Ahazaya, zopu ya site n'etiti
ụmụ ndị ikom eze, bụ ndị a chọrọ igbu egbu. O zoro ya na nwanyị na-elekọta ya anya
n'ime ụlọ ndina, ka Atalaya hapụ ịhụ ya, nke a mere na-egbughị ya. 3 Ya na nwanyị
na-elekọta ya anya nọgidere na nzuzo n'ime ụlọnsọ Onyenwe anyị, afọ isii, oge ahụ
niile Atalaya na-achị n'ala ahụ.
4 N'afọ nke asaa, Jehoiada, ziri ozi kpọọ ndị ọchịagha na-achị narị ndị agha, ndị
Karị§ na ndị nche oku, mee ka ha bịakwute ya n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị. Ya na
ha gbara ndụ, o mekwara ka ha ṅụọ iyi n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị. Mgbe ahụ, o
gosiri ha nwa eze.* 5 O nyere ha iwu, sị, "Nke a bụ ihe unu ga-eme, unu bụ ndị nọ
n'otu atọ ga-abịa ọrụ n'ụbọchị izuike, nke otu ụzọ n'ime unu na-eche ụlọeze nche,
6 otu ụzọ n'ime ụzọ atọ ga-anọ n'ọnụ ụzọ Sua, ebe otu ụzọ ga-anọ n'ọnụ ụzọ ama,
n'azụ ndị na-eche nche n'ụlọnsọ ukwu Chineke. 7 Ma unu bụ otu abụọ ndị kwesiri
ịga ezumike site n'ọrụ unu n'ụbọchị izuike, ga-eguzo na nche n'ụlọnsọ ukwu n'ihi
eze. 8 Doonụ onwe unu gburugburu eze, onye ọbụla n'ime unu jide ihe agha n'aka
ya. Onye ọbụla nke na-abịa nso ahịrị unu, ka e gbuo ya. Nọrọnụ eze nso ebe ọbụla
ọ gara, mgbe ọ na-apụ n'ezi na mgbe ọ na-aba n'ime."

* **11:2** 11:2 Eleghị anya, nne Jehosheba dị iche na nne Atalaya, ma n'ihi na Jehosheba bụ nwunye Jehoiada onye nchụaja, o zoro Joash n'otu ọnụụlọ n'ime ụlọnsọ ukwu 2Ih 22:11 † **11:2** 11:2 Mgbe ụfọdụ a na-akpọkwa ya Jehoram ‡ **11:2** 11:2 Joash bụ nwa eku n'aka nke ka na-anụ ara, o rubeghị otu afọ mgbe ihe ndị a mere. § **11:4** 11:4 Ndị Karị bụ ndị agha e goro ego si Eshịa na mpaghara Tọki. Ha bụ ndị nọchiri anya ndị agha Keret, ndị jere ozi n'oge eze Devid. 2Sa 8:18 * **11:4** 11:4 N'akwụkwọ 2Ih 23:2 n'ebe ahụ e mere ka anyị mara na akpọrọ ndị Livayị, na ndịisi Juda niile n'oku nzuzo a.

9 Ndị ọchịagha ndị a na-achị narị ndị agha mere dịka Jehoiada, onye nchụaja nyere
n’iwu. Onye ọbụla kpọrọ ndị ikom ya, ma ndị na-emechi ọrụ, ma ndị na-abata ịrụ
ọrụ n’ụbọchị izuike, bịakwute Jehoiada, bụ onye nchụaja. 10 O nyere ndị ọchịagha
ahụ ùbe na ọta niile, ndị bụrịị nke eze Devid, ndị dị n’ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ.
11 Onye ọbụla na ndị nche ahụ ji ngwa agha n’aka ya, ha guzoro onwe ha, nọdụ eze
gburugburu, na nso ebe ịchụ aja na ụlọnsọ ukwu, site n’akụkụ ndịda ruo n’akụkụ
ugwu nke ụlọnsọ ukwu ahụ.
12 Jehoiada kpọpụtara nwa eze, kpube ya okpueze n’isi, o nyere ya otu akwụkwọ
nke ihe ọgbụgba ndụ ahụ, chie ya eze. Ha tekwara ya mmanụ ịbụ eze. Ndị niile nọ
n’ebe ahụ kụrụ aka, tie mkpu, sị, “Ka eze dịrị ndụ ruo mgbe ebighị ebi!”
13 Mgbe Atalaya nụrụ mkpọtụ nke ndị nche na ndị mmadụ na-eme, ọ gakwuru
ndị ahụ nọ n’ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ. 14 O lepụrụ anya, ma lee eze, ka o guzo
n’akụkụ ogidi,† dịka omenaala mmemme ịchị eze si dị. Ndịisi na ndị na-afụ opi nọ
n’akụkụ eze. Ndị niile nke ala ahụ nọkwa na-aṅụrị ọṅụ na-afụ opi. Atalaya dọwara
uwe ya, sị, “Nnupu isi megide eze! Nke a bụ nnupu isi megide ọchịchị!”
15 Jehoiada, bụ onye nchụaja nyere ndịisi ọchịagha na-achị narị ndị agha, bụ ndị
na-elekọta usuu ndị agha, iwu sị ha, “Sitenụ n’ebe ahụ kpọpụta ya n’etiti ahịrị unu,
onye ọbụla nke gbasoro ya, werenụ mma agha gbuo onye ahụ.” N’ihi na onye
nchụaja sịrị, “Agaghị egbu ya n’ime ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ.” 16 Ya mere, ha jidere
ya, mgbe o rutere n’ụzọ ebe ịnyịnya si abata n’ogige ụlọeze, ebe ahụ ka ha nọ gbuo
ya.
17 Jehoiada mere ka ọgbụgba ndụ dị n’etiti ONYENWE ANYỊ na eze, na ndị mmadụ,
na ha ga-abụ ndị nke ONYENWE ANYỊ. O mekwara ka ọgbụgba ndụ dịrị n’etiti eze na
ndị ahụ. 18 Ndị niile nke ala ahụ gara n’ụlọ nchụaja Baal kwatuo ya. Ha tidasịrị ebe
nchụaja na arụsị niile dị n’ebe ahụ mee ka ọ darisịa, gbukwaa Matan onye nchụaja
Baal n’ihu ebe ịchụ aja ahụ.
Mgbe ahụ, Jehoiada onye nchụaja, debekwara ndị nche ka ha lekọta ụlọnsọ ukwu
ONYENWE ANYỊ. 19 Ọ kpọọrọ ndị ọchịagha na-achị narị ndị agha, ha na ndị Karị, na
ndị nche, ha na ndị ala ahụ niile, ha niile dupụtara eze site n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ
site n’ọnụ ụzọ ndị nche banye n’ụlọeze. Eze were ọnọdụ ya n’elu ocheeze. 20 Ndị
ala ahụ niile ṅụrịrị ọṅụ nke ukwuu, obodo ahụ dakwara jụụ, n’ihi na e ji mma agha
gbuo Atalaya n’ụlọeze.
21 Joash‡ gbara afọ asaa mgbe ọ malitere ịbụ eze.

# 12

*Joash emezie ụlọnsọ ukwu*
1 N’afọ nke asaa, nke ọchịchị Jehu n’Izrel, ka Joash malitere ịbụ eze na Juda. Iri afọ
anọ ka ọ chịrị dịka eze na Jerusalem. Aha nne ya bụ Zibịa onye Bịasheba. 2 Joash
mere ihe ziri ezi n’anya ONYENWE ANYỊ ụbọchị niile nke Jehoiada onye nchụaja ziri
ya ihe. 3 Ma naanị na o wezugaghị ebe ịchụ aja niile dị n’ugwu. Ndị Juda nọgidere
na-achụ aja dị iche iche n’ebe ahụ, na-esurekwa ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ.
4 Joash sịrị ndị nchụaja, “Nakọtaanụ ego niile a na-ewebata dịka onyinye dị nsọ
n’ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, ya bụ, ego a na-anakọta n’oge ịgụ mmadụ ọnụ, na ego
e webatara maka imezu nkwa ndị mmadụ kwere, na ego e webatara n’ụlọnsọ ukwu
dịka onyinye afọ ofufe. 5 Ka onye nchụaja ọbụla site n’aka otu n’ime ndị na-eche ego
nara ego, a ga-eji mezie ihe ọbụla a chọpụtara na o mebiri n’ụlọnsọ ukwu ahụ.”
6 Ma n’afọ nke iri abụọ na atọ nke ọchịchị eze Joash, ọ chọpụtara na ndị nchụaja
ahụ emezibeghị ihe mebiri n’ụlọnsọ. 7 Ya mere, eze Joash* kpọrọ Jehoiada, onye

† **11:14** 11:14 2Ez 23:3; 2Ih 34:31 ‡ **11:21** 11:21 Maọbụ, Jehoash * **12:7** 12:7 N’oge a, eze Joash a gbaa afọ
iri atọ.

nchụaja, kpọkwaa ndị nchụaja ndị ọzọ jụọ ha, "Gịnị mere unu emezibeghị ụlọnsọ
a? Site ugbu a gaa n'ihu, unu esitekwala n'aka ndị na-eche ego anara ego ọzọ, kama,
nyefeenụ ya maka iji dozie ụlọnsọ ukwu ahụ." 8 Ndị nchụaja ahụ kwenyere sị, "Anyị
agaghị esitekwa n'aka ndị mmadụ nara ego ọbụla. Otu a kwa, anyị agaghị emezikwa
ụlọnsọ ukwu a n'onwe anyị."

9 Mgbe ahụ, Jehoiada wetara otu igbe mepuo oghere n'elu ya, debe ya n'akụkụ
ebe ịchụ aja, n'aka nri dịka mmadụ na-abata n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị. Ndị
nchụaja niile na-eche nche n'ọnụ ụzọ ụlọnsọ ahụ na-etinye ego niile e webatara
n'ụlọnsọ Onyenwe anyị n'ime igbe ahụ. 10 Mgbe ọbụla ha hụrụ na igbe ego ahụ
ejupụtala n'ego, onye ode akwụkwọ ụlọeze na onyeisi nchụaja na-abịa, gụọ ego ahụ
e webatara n'ụlọnsọ Onyenwe anyị, tinye ha n'akpa. 11 Ha na-ewere ego ahụ a gụrụ
ọnụ, nyefee n'aka ndị ikom ahọpụtara maka ilekọta ndị ọrụ na-emezi ụlọ Onyenwe
anyị. Ndị ahụ na-eji ya kwụọ ndị ọkwa ǹka osisi na ndị na-ewu ụlọ, 12 na ndị na-edo
nkume, na ndị na-awa nkume ụgwọ. Ọ bụ sitekwa n'ego ahụ ka a na-azụta osisi na
nkume a wara awa iji dozie ụlọnsọ Onyenwe anyị, na ịkwụ ụgwọ ihe ndị ọzọ e ji
emezi ihe niile ekwesiri imezi n'ụlọnsọ ukwu ahụ.

13 E jikwaghị ego ahụ e webatara n'ụlọnsọ kpụta efere ọlaọcha, ihe e ji akpakepụ
ọkụ, efere ịkwọsa mmiri, opi maọbụ ihe ndị ọzọ nke e ji ọlaedo maọbụ ọlaọcha kpụọ
maka ụlọnsọ ukwu nke Onyenwe anyị. 14 Ọ bụ ndị na-eje ozi, ndị ji ya rụzie ụlọnsọ
ukwu Onyenwe anyị ka e nyere ya. 15 O nweghị onye a sịrị ka ọ gụzie otu e si jiri
ego ahụ rụọ ọrụ, bụ ndị e nyere ego ahụ maka ịkwụ ndị ọrụ ụgwọ, n'ihi na ha bụ
ndị kwesiri ntụkwasị obi. 16 E webataghị ego niile sitere n'aja ikpe ọmụma nakwa
aja mmehie n'ime ụlọnsọ ukwuu Onyenwe anyị. Ọ bụ ndị nchụaja nwe nke ahụ.

17 N'oge ahụ, Hazael eze Aram, gara buso Gat agha, lụgbuo ya, dọta ya n'agha.
Emesịa, o chere ihu n'ụzọ Jerusalem imegide ya. 18 Ma Joash, bụ eze Juda, chịkọtara
ihe niile ahụ bụ nke Jehoshafat, Jehoram na Ahazaya nna ya, ndị bụ eze Juda doro
nsọ nye Chineke, chịrịkwa onyinye nke ya onwe ya dokwara nsọ, na ọlaedo niile,
na akụ niile e nwere ike ịchọta n'ụlọnsọ Onyenwe anyị, na nke dị n'ụlọeze, zigara
Hazael, bụ eze Aram. N'ihi ihe ndị a, ọ lara, hapụ ibuso Jerusalem agha.

19 Akụkọ gbasara ọchịchị eze Joash, na ihe niile o mere, e deghị ha n'akwụkwọ
akụkọ ihe ndị eze Juda niile mere n'oge ha. 20 Ndị ozi ya gbara izu ọjọọ megide
Joash, gbukwaa ya na Bet Milo, n'ụzọ e si aga Sila. 21 Ndịisi ozi ahụ gburu ya bụ
Jozabad nwa Shimeat, na Jehozabad nwa Shomea. Ọ nwụrụ, e lie ya na ndị nna nna
ya ha n'obodo Devid. Amazaya nwa ya, ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

# 13

*Jehoahaz eze Izrel*

1 N'afọ nke iri abụọ na atọ nke ọchịchị eze Joash nwa Ahazaya na Juda, ka Jehoahaz
nwa Jehu malitere ịbụ eze n'Izrel n'obodo Sameria. Ọ chịkwara na Sameria afọ iri
na asaa. 2 Kama Jehoahaz bụ eze ọjọọ. O mere ihe jọrọ njọ n'anya Onyenwe anyị.
O soro ụzọ ọjọọ niile nke Jeroboam nwa Nebat, onye dubara ndị Izrel na mmehie.
3 N'ihi nke a, iwe were Onyenwe anyị nke ukwuu megide Izrel. O mere ka ha nọrọ
n'okpuru ọchịchị Hazael eze Aram na Ben-Hadad nwa ya ogologo oge.

4 Ma Jehoahaz kpere ekpere rịọọ Onyenwe anyị n'oge a ka o nyere ya aka, Onyenwe
anyị gere ya ntị, n'ihi na Chineke hụrụ mmegbu* nke eze Aram na-emegbu ndị Izrel.
5 Onyenwe anyị họpụtaara Izrel onye nzọpụta, ha sitere n'aka ike ndị Aram nwere
onwe ha.† Izrel biri n'ụlọ nke aka ha dịka ha biiri n'oge gara aga. 6 Ma ha esighị na

* **13:4** 13:4 Ọpụ 3:7,9; Nkp 2:18; 2Ez 14:28. † **13:5** 13:5 Neh 9:27; 2Ez 13:25; 14:25,27

mmehie niile nke ụlọ Jeroboam wezuga onwe ha, bụ nke o jiri mee ka Izrel mehie,
kama ha nọ na-ejeghari n'ime ha. Ọzọkwa, ogidi Ashera ka guzoro na Sameria.

7 Ọ dịghị ihe fọdụrụ na ndị agha Jehoahaz ma ọ bụghị naanị iri ndị agha ise na-
agba ịnyịnya, na ụgbọ agha iri, na puku ndị agha iri. N'ihi na eze Aram alaala ndị
nke fọdụrụ n'iyi, meekwa ka ha dịrị ka uzuzu mgbe a na-azọcha mkpụrụ.

8 Akụkọ gbasara ọchịchị Jehoahaz, na ihe niile o mere, na ihe ọ rụpụtara, e deghị
ha n'akwụkwọ akụkọ ihe ndị eze Izrel mere n'oge ha? 9 Jehoahaz sooro ndị nna nna
ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya na Sameria. Nwa ya Jehoash nọchiri anya ya.

### *Jehoash eze Izrel*

10 N'afọ iri atọ na asaa nke ịbụ eze Joash na Juda, ka Jehoash nwa Jehoahaz malitere
ị bụ eze Izrel na Sameria. Ọ chịrị afọ iri na isii. 11 O mere ihe jọrọ njọ n'anya
ONYENWE ANYỊ. O siteghị na mmehie Jeroboam nwa Nebat wezuga onwe ya, mmehie
nke Jeroboam dubara Izrel ime. Jehoash nọgidere n'ime ha.

12 Akụkọ gbasara ọchịchị Jehoash, na ihe niile o mere, na ihe ọ rụpụtara, tinyere
agha o buru megide Amazaya eze Juda, e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ihe ndị eze
Izrel mere n'oge ha? 13 Jehoash soro nna nna ya ha dina n'ọnwụ, Jeroboam anọchie
n'ocheeze ya. E liri Jehoash na Sameria, n'ebe e liri ndị eze Izrel ndị ibe ya.

14 N'oge a, Ịlaisha nọ n'ọrịa nke ọ ga-esite na ya anwụ. Jehoash, bụ eze Izrel gara
ịhụ ya, ọ kwara akwa mgbe ọ hụrụ ya sị, "Nna m, nna m, usuu ụgbọ agha na usuu
ndị na-agba ịnyịnya Izrel!"

15 Ịlaisha gwara ya okwu sị, "Wepụta ụta na àkụ ụfọdụ." O mere dịka Ịlaisha
gwara ya. 16 Ịlaisha gwakwara eze Izrel okwu sị ya, "Jide ụta ahụ n'aka gị abụọ."
Mgbe o jidere ụta ahụ Ịlaisha tụkwasịrị aka nke ya n'aka eze.

17 Ịlaisha gwara ya sị, "Meghee oghereikuku ahụ chere ihu n'ọwụwa anyanwụ." O
meghere ya. Mgbe ahụ Ịlaisha gwara ya sị, "Gbapụ àkụ." Eze gbapụrụ àkụ. Ịlaisha
kwuru sị, "Àkụ mmeri ONYENWE ANYỊ, àkụ mmeri megide Aram. Ị ga-ebibi ndị Aram
kpamkpam n'Afek."

18 Ọ sịrị, "Chilite àkụ ndị ahụ," ọ chilitere ha. Ịlaisha gwara eze Izrel, "Gbaa ha
n'ala." Ọ gbara ha n'ala ugboro atọ, ma kwụsị. 19 Ma onye nke Chineke ahụ were
iwe sị ya, "Ị gaara apịa ya n'ala ugboro ise maọbụ isii. Mgbe ahụ, ị gaara enwe ike
merie ndị Aram bibie ha kpamkpam. Ma ugbu a, ọ bụ naanị ugbo atọ ka ị ga-emeri
ha."

20 Ya mere, Ịlaisha nwụrụ. E likwara ya.

N'oge ahụ, ọtụtụ ndị na-apụnara mmadụ ihe n'ike na-esi n'ala ndị Moab na-abịa
n'ala Izrel izu ohi site n'ọnwa nke atọ n'afọ ọhụrụ ọbụla. 21 Otu ụbọchị, mgbe ụfọdụ
ndị ikom na-eli otu nwoke nwụrụ anwụ, ha hụrụ ndị a na-apụnara mmadụ ihe n'ike.
N'ihi nke a, ha mere ngwangwa site n'ụjọ tụbanye nwoke ahụ n'ili Ịlaisha. Mgbe
ozu nwoke ahụ dara metụ ọkpụkpụ Ịlaisha ahụ, nwoke ahụ nwụrụ anwụ megharịrị
ahụ bilie, guzo n'ụkwụ ya abụọ.

22 Hazael, eze Aram, busoro Izrel agha ụbọchị niile nke ndụ Jehoahaz eze Izrel.
23 Ma ONYENWE ANYỊ meere ha amara, nwee ọmịiko n'ebe ha nọ, ma gosikwa ha na
ihe banyere ha na-emetụ ya n'obi n'ihi ọgbụgba ndụ ya na Ebraham na Aịzik na
Jekọb. Ruo taa, o kweghị ka e bibie ha, maọbụ ka e site n'ihu ya chụpụ ha.

24 Emesịa, Hazael eze Aram nwụrụ, Ben-Hadad nwa ya nọchikwara n'ọnọdụ
ya. 25 Jehoash nwa Jehoahaz, weghachitere obodo niile nke ọ naara n'aka nna ya
Jehoahaz site n'aka Ben-Hadad nwa Hazael. Ugboro atọ ka Jehoash meriri ya, site
otu a weghachi obodo niile nke Izrel.

# 14

*Amazaya eze Juda*

1 N'afọ nke abụọ nke ịbụ eze Jehoash nwa Jehoahaz n'Izrel, ka Amazaya nwa Joash
eze Juda malitere ọchịchị ya. 2 Amazaya gbara iri afọ abụọ na ise mgbe ọ malitere
ịbụ eze. Ọ bụ eze na Jerusalem iri afọ abụọ na itoolu. Aha nne ya bụ Jehoadin, onye
Jerusalem. 3 O mere ihe ziri ezi n'anya Onyenwe anyị, ma o meghị dịka nna nna ya
bụ Devid mere. N'ihe niile, ọ gbasoro nzọ ụkwụ nna ya Joash. 4 Ọ wezugaghị ebe
ịchụ aja niile dị n'ugwu. Ndị Juda gara n'ihu na-achụ aja na-esurekwa ihe nsure ọkụ
na-esi isi ụtọ n'elu ugwu ahụ niile.
5 Mgbe alaeze ahụ siri ike n'ọchịchị ya, o gburu ndị ozi ahụ gburu eze, bụ nna ya.
6 Ma o meghị ka ụmụ ndị ogbu mmadụ ahụ nwụọ, n'usoro ihe e dere n'akwụkwọ
iwu Mosis, ebe Onyenwe anyị nyere iwu sị: "Agaghị eme ka ndị mụrụ ụmụ nwụọ
n'ihi ihe ụmụ ha metara, maọbụ mee ka ụmụ nwụọ n'ihi ihe ndị mụrụ ha metara,
onye ọbụla ga-anwụ n'ihi mmehie nke aka ya."
7 Amazaya bụ onye gburu puku ndị agha Edọm iri na Ndagwurugwu Nnu, dọtakwa
obodo Sela* n'agha, gụgharịa ya Jekteel,† nke bụ aha a na-akpọ ya ruo ụbọchị taa.
8 Mgbe ahụ, Amazaya zigara ndị ozi ka ha jekwuru Jehoash nwa Jehoahaz nwa
Jehu, eze Izrel, zie ya ozi ịma aka, sị, "Bịa, ka dimkpa na ibe ya zute ihu na ihu
n'agha."
9 Ma Jehoash eze Izrel zighachiri ozi nye Amazaya eze Juda sị ya, "Uke dị na
Lebanọn zigaara osisi sida nke dị na Lebanọn ozi, sị ya, 'Nye nwa m nwoke nwa
gị nwanyị ka ọ bụrụ nwunye ya.' Mgbe ahụ, anụ ọhịa nke dị na Lebanọn gafetere
ebe ahụ, zọpịa uke ahụ. 10 I meriela Edọm, n'ezie. Ugbu a, mpako abatala. Ṅụrịa
ọṅụ n'ihi mmeri nke i nwetara, ma nọdụ n'ụlọ gị. N'ihi gịnị ka ị ga-eji kpaliere onwe
gị nsogbu, si otu a wetara onwe gị na Juda ọdịda?"
11 Ma otu ọ dị, Amazaya egeghị ntị. Ya mere, Jehoash bụ eze Izrel buliri agha, ya
na Amazaya eze Juda zutere ihu na ihu n'agha na Bet-Shemesh, dị n'ala Juda. 12 Ndị
Izrel meriri ndị Juda, mee ka ha gbalaga, nwoke ọbụla n'ụlọ ya. 13 Jehoash bụ eze
Izrel nwudere Amazaya bụ eze Juda, nwa Joash, nwa Ahazaya na Bet-Shemesh. Mgbe
ahụ, Jehoash gara Jerusalem kwada mgbidi Jerusalem, site n'Ọnụ ụzọ ama Ifrem‡ ruo
n'ọnụ ụzọ ama Nkuku, nke ogologo ya ruru narị nzọ ụkwụ isii. 14 Ọ chịkọrọ ọlaedo
na ọlaọcha niile na ngwongwo niile ahụtara n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, na nke dị
n'ụlọakụ nke ụlọeze. Ọ dọtara ọtụtụ ndị mmadụ n'agha, kpọrọ laghachi na Sameria.
15 Ihe banyere akụkọ ndị ọzọ gbasara ọchịchị Jehoash, na ihe o mere, na ihe
ọ rụpụtara, tinyere agha ọ lụrụ megide Amazaya eze Juda, ọ bụ na-edeghị ha
n'akwụkwọ akụkọ ihe ndị eze Izrel mere n'oge ha? 16 Jehoash sooro nna nna ya
ha dinaa n'ọnwụ, e lie ya na Sameria, ebe e liri eze ndị Izrel ndị ọzọ. Jeroboam nwa
ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.
17 Amazaya nwa Joash, eze Juda nọrọ ndụ afọ iri na ise, mgbe Jehoash nwa
Jehoahaz, eze Izrel nwụsịrị. 18 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị
Amazaya, ọ bụ na e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ihe mere n'oge ndị eze Juda?
19 Ha gbara izuzu imegide ya n'ime Jerusalem, ọ gbapụrụ gbalaga Lakish. Ma ha
zipụrụ ndị ikom chụụrụ ya gaa Lakish, gbuo ya n'ebe ahụ. 20 Ha bulatara ozu ya
n'elu ịnyịnya, e lie ya na Jerusalem n'ebe e liri ndị nna nna ya ha, n'obodo Devid.
21 Mgbe ahụ, ndị Juda niile duuru Azaraya onye aha ya bụkwa Uzaya, onye gbara
afọ iri na isii, mee ya eze n'ọnọdụ nna ya Amazaya. 22 Ọ bụ ya wugharịrị obodo Elat,
nyeghachi ya Juda, mgbe Amazaya eze sooro ndị nna nna ya ha dina n'ọnwụ.

* **14:7** 14:7 Aha a na-akpọ Sela n'asụsụ Griik bụ Petra. Petra bụ isi obodo Idumia. † **14:7** 14:7 Jos 15:38
‡ **14:13** 14:13 Neh 8:16; 12:39

### *Jeroboam nke abụọ eze Izrel*

23 N’afọ nke iri na ise nke Amazaya nwa Joash, eze Juda, Jeroboam nwa Jehoash
eze Izrel ghọrọ eze na Sameria. Ọ chịrị iri afọ anọ na otu dịka eze. 24 Ma o mere ihe
ọjọọ n’anya ONYENWE ANYỊ n’ihi na o wezugaghị onwe ya site na mmehie Jeroboam
nwa Nebat, onye ahụ dubara ndị Izrel na mmehie. 25 Ọ bụ ya weghachitara oke ala
Izrel site na Lebo Hamat ruo n’osimiri Araba, dịka okwu ONYENWE ANYỊ, Chineke nke
Izrel si dị, nke o kwuru site n’ọnụ Jona nwa Amitai, onye amụma si Gat Hefa.
26 ONYENWE ANYỊ hụrụ ọnọdụ ọjọọ nke ndị Izrel nọ n’ime ya; onye ọbụla n’ime
ha, ohu na onye nwe onwe ya, nọ n’oke ahụhụ. Ọ dịkwaghị onye inyeaka ọbụla ha
nwere. 27 Ma ọ bụghị uche ONYENWE ANYỊ ịla Izrel n’iyi kpamkpam n’okpuru eluigwe,
n’ihi ya ka o mere ka Jeroboam nwa Jehoash napụta ha site n’aka ndị iro ha.
28 Akụkọ niile gbasara ihe niile Jeroboam mere, na ike ya niile, na agha niile o
buru, na otu o si nwetaghachiri ndị Izrel obodo Damaskọs na Hamat, bụ obodo ndị
Juda, ọ bụ na e deghị ha n’akwụkwọ akụkọ ihe ndị eze Izrel mere n’ụbọchị ndụ ha?
29 Jeroboam sooro ndị nna nna ya ha dina n’ọnwụ, e lie ya n’ebe e liri ndị eze Izrel
nwụrụ anwụ. Ma Zekaraya nwa ya ghọrọ eze Izrel n’ọnọdụ ya.

# 15

### *Azaraya eze Juda*

1 N’afọ nke iri abụọ na asaa nke ọchịchị Jeroboam n’Izrel ka Azaraya nwa Amazaya
bidoro ịchị dịka eze na Juda.* 2 Ọ gbara afọ iri na isii mgbe ọ malitere ị bụ eze. Ọ
chịkwara na Jerusalem iri afọ ise na abụọ. Aha nne ya bụ Jekolaya, onye Jerusalem.
3 O soro nzọ ụkwụ nna ya bụ Amazaya, mee ihe ziri ezi n’anya ONYENWE ANYỊ. 4 Kama
dịka eze ndị ọzọ, o wezugaghị ebe ịchụ aja dị n’elu ugwu; ndị mmadụ gara n’ihu na-
achụ aja nsure ọkụ na aja na-esi isi ụtọ n’ebe ahụ.
5 ONYENWE ANYỊ tiri eze ihe otiti ọrịa ekpenta ruo ụbọchị ọnwụ ya.† O biri n’ụlọ
ewupụrụ iche. Jotam‡ nwa nwoke eze ghọrọ onye nlekọta ụlọeze na-achịkwa ndị ala
ahụ.
6 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n’oge ọchịchị Azaraya, na ihe niile o mere, ọ
bụ na e deghị ha n’akwụkwọ akụkọ ihe mere n’oge ndị eze Juda? 7 Azaraya soro ndị
nna nna ya dina n’ọnwụ, e lie ya nso n’ebe e liri ha, n’ime obodo Devid. Jotam nwa
ya ghọrọ eze n’ọnọdụ ya.

### *Zekaraya eze Izrel*

8 N’afọ nke iri atọ na asatọ nke ọchịchị eze Azaraya bụ eze Juda, ka Zekaraya, nwa
Jeroboam ghọrọ eze Izrel na Sameria. Ọ chịrị ọnwa isii. 9 Dịka ndị nna ya bu ya ụzọ
si mee, Zekaraya mere ihe jọrọ njọ n’anya ONYENWE ANYỊ. O mekwara dịka Jeroboam
nwa Nebat, onye dubara ndị Izrel na mmehie ịkpọ isiala nye chi ọzọ.
10 Shalum nwa Jebesh, na ndị ọzọ, gbara izu ọjọọ megide ya, tigbuo ya n’ihu ndị
Izrel niile. Ọ ghọkwara eze mgbe Zekaraya nwụrụ. 11 Akụkọ metụtara ihe ndị ọzọ
mere mgbe Zekaraya bụ eze, e deghị ha n’akwụkwọ akụkọ ihe ndị eze Izrel mere
n’ụbọchị ndụ ha. 12 Ya mere, okwu ahụ ONYENWE ANYỊ gwara Jehu mezuru, nke bụ:
“Ụmụ ụmụ gị ga-anọkwasị n’ocheeze Izrel ruo n’ọgbọ nke anọ ha.”

### *Shalum eze Izrel*

---

* **15:1** 15:1 Ọ bụ n’ime senchuri nke asatọ (Tupu a mụọ Kraịst) † **15:5** 15:5 A kọrọ akụkọ a n’akwụkwọ 2Ih 26:16-21 ebe ọ pụtara ìhè. Chineke mere ka eze ghọọ onye ekpenta n’ihi nleda anya o ledara ndị nchụaja, mgbe ọ gara chụọ aja, bụ ihe ọ na-ekwesighị ime dịka eze ọ bụ. Ọnụ 3:10; 16:39-40; 18:6-7 ‡ **15:5** 15:5 Ọ bụ Jotam nọ na-achị ala ahụ n’ọnọdụ eze Azaraya ruo mgbe ọ nwụrụ.

13 Shalum nwa Jebesh malitere ịbụ eze n'afọ nke iri atọ na itoolu nke ọchịchị Uzaya
eze Juda. Ọ chịrị otu ọnwa na Sameria. 14 Menahem nwa Gadi sitere n'obodo Tịaza
bịaruo Sameria gbuo Shalum nwa Jebesh ghọọ eze n'ọnọdụ ya.
15 Akụkọ ndị ọzọ gbasara Shalum na izu ọjọọ ya, e deghị ha n'akwụkwọ ihe mere
n'oge ndị eze Izrel na-achị.
16 N'oge ahụ, Menahem sitere na Tịaza buso obodo Tipsa agha, na onye ọbụla bi
n'obodo ahụ na gburugburu ya n'ihi na ha ekweghị emeghe ọnụ ụzọ ama ha. O
tigburu Tifsa kwakọrọ ihe niile, bọwakwaa afọ ndị inyom niile dị ime.

*Menahem eze Izrel*

17 N'afọ iri atọ na itoolu nke Azaraya, eze Juda, Menahem nwa Gadi ghọrọ eze
ọhụrụ ndị Izrel. Ọ chịrị afọ iri dịka eze na Sameria. 18 O mere ihe jọrọ njọ n'anya
ONYENWE ANYỊ. N'oge ọchịchị ya, o sighị na mmehie Jeroboam nwa Nebat wezuga
onwe ya, bụ nke o mere ka Izrel mehie.
19 Mgbe ahụ, Pul§ eze Asịrịa busoro ala ahụ agha. Menahem nyere ya otu puku
talenti ọlaọcha, ime ka Pul kwagide ọchịchị ya, na ime ka aka ya siekwa ike n'alaeze
Izrel. 20 Menahem si n'aka ndị Izrel nweta ego a. Onye ọgaranya ọbụla tụrụ iri
shekel ọlaọcha ise nke e nyere eze Asịrịa. Mgbe eze Asịrịa natachara ọlaọcha ndị a,
o si n'ala ahụ pụọ, ọ nọgidekwaghị n'ala ahụ.
21 Akụkọ banyere Menahem na ihe niile o mere, e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ihe
ndị eze Izrel mere n'ụbọchị ndụ ha? 22 Menahem sooro ndị nna nna ya ha dina
n'ọnwụ, Pekahaya nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

*Pekahaya eze Izrel*

23 N'afọ nke iri ise, nke ọchịchị eze Azaraya na Juda, ka Pekahaya nwa Menahem
bidoro ịchị dịka eze n'Izrel. Afọ abụọ ka ọ chịrị n'ime Sameria. 24 Ma Pekahaya mere
ihe ọjọọ n'anya ONYENWE ANYỊ. O sighị na mmehie niile nke Jeroboam nwa Nebat
wezuga onwe ya, bụ nke o jiri mee ka Izrel mehie. 25 Ma Peka nwa Remalaya, otu
n'ime ndịisi agha eze na iri ndị ikom ise ọzọ si Gilead gbara izu megide ya, gbuo ya
n'ụlọeze dị n'ime Sameria. Ha gbukwara Agob na Arie n'oge a ha gburu Pekahaya.
Emesịa, Peka ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.
26 Akụkọ banyere Pekahaya na ihe niile o mere ka e dere n'akwụkwọ akụkọ ihe
ndị eze Izrel mere n'ụbọchị ndụ ha.

*Peka eze Izrel*

27 N'afọ nke iri ise na abụọ nke ọchịchị Azaraya eze Juda ka Peka nwa Remalaya
ghọrọ eze Izrel n'obodo Sameria. Ọ chịrị dịka eze iri afọ abụọ. 28 O mere ihe jọrọ njọ
n'anya ONYENWE ANYỊ. O fere chi ọzọ ofufe, o sighị na mmehie Jeroboam nwa Nebat
wezuga onwe ya, bụ mmehie nke o dubara ndị Izrel n'ime ya.
29 N'oge Peka bụ eze Izrel, ka Tiglat-Pilesa, eze Asịrịa bịara were Ijon, Ebel-Bet-
Maaka, Janoa, Kedesh, Hazọ, Gilead, Galili na ala ndị Naftalị niile. Ọ chụpụrụ ndị
mmadụ niile mee ka ha gaa biri n'Asịrịa. 30 N'oge ahụ, Hoshea nwa Elaa gbara izu
ọjọọ megide Peka nwa Remalaya gbuo ya, bụrụ eze n'ọnọdụ ya. Ọ malitere ịbụ eze
n'afọ nke iri abụọ nke ọchịchị eze Jotam nwa Uzaya.
31 Akụkọ banyere Peka na ihe niile o mere, e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ihe ndị
eze Izrel niile mere n'ụbọchị ndụ ha?

*Jotam eze Juda*

32 N'afọ nke abụọ nke ọchịchị Peka nwa Remalaya eze Izrel ka Jotam nwa Ụzaya
eze Juda malitere ọchịchị ya. 33 Ọ gbara iri afọ abụọ na ise mgbe ọ ghọrọ eze. Ọ chịrị
afọ iri na isii na Jerusalem. Aha nne ya bụ Jerusha, nwa Zadọk. 34 O mere ihe ziri

§ **15:19** 15:19 Pul bụkwa onye a na-akpọ Tiglat-Pilesa, n'asụsụ ndị Babilọn, gụọ 1Ih 5:26

ezi n’anya ONYENWE ANYỊ dịka nna ya Ụzaya mere. 35 Kama, o wezugaghị ebe ịchụ
aja dị n’elu ugwu, ndị mmadụ gara n’ihu na-achụ aja nsure ọkụ dị iche iche na aja
na-esi isi ụtọ n’ebe ahụ. Jotam wughariri Ọnụ Ụzọ ama nke dị Elu nke ụlọnsọ ukwu
ONYENWE ANYỊ.
36 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile nke oge ọchịchị Jotam na ihe o mere, ọ bụ na e deghị
ha n’akwụkwọ akụkọ ihe mere n’oge ndị eze Juda? 37 (N’ụbọchị ndị ahụ, ONYENWE
ANYỊ malitere izite Rezin eze ndị Aram na Peka nwa Remalaya, imegide ndị Juda.)
38 Jotam sooro ndị nna nna ya ha dina n’ọnwụ, e lie ya n’ebe e liri ha, n’obodo Devid,
bụ obodo nna ya. Ehaz nwa ya nwoke ghọrọ eze n’ọnọdụ ya.

# 16

*Ehaz eze Juda*

1 Ehaz* nwa Jotam, malitere ịbụ eze Juda n’afọ nke iri na asaa nke ọchịchị eze Peka
nwa Remalaya eze Izrel. 2 Ehaz gbara iri afọ abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Afọ iri na
isii ka ọ chịkwara n’ime Jerusalem, ma o meghị ihe ziri ezi n’anya ONYENWE ANYỊ bụ
Chineke ya, dịka nna ya Devid mere. 3 Ọ gbasoro ụzọ niile nke ndị eze Izrel, ọbụladị
i ji nwa ya nwoke chụọ aja n’ọkụ. Ọ gbasoro omenaala niile rụrụ arụ nke ndị mba
ọzọ, ndị ahụ ONYENWE ANYỊ chụpụrụ site n’ihu ndị Izrel. 4 Ọ chụrụ aja surekwaa ihe
nsure ọkụ aja na-esi isi ụtọ n’ebe niile dị elu, n’elu ugwu niile, na n’okpuru osisi ndụ
ọbụla.
5 Mgbe ahụ, Rezin eze Aram na Peka nwa Remalaya, eze Izrel rigooro ịga buso
Jerusalem agha, gbakwaa Ehaz gburugburu. Ma ha emerighị ya n’agha. 6 N’oge ahụ,
Rezin eze Aram dọtaghachiri obodo Elat nye onwe ya, site na ị chụpụ ndị Juda bi
n’Elat. Ndị Edọm bara n’obodo Elat, ha bikwa n’ebe ahụ ruo taa.
7 Ehaz zigara ndị ozi ka ha gaa zie Tiglat-Pilesa, eze ndị Asịrịa ozi, sị ya, “Abụ m
ohu gị, onyenwe m ka ị bụ. Bịa napụta m site n’aka eze ndị Aram na eze ndị Izrel,
ndị na-ebuso m agha.”† 8 Ehaz weere ọlaedo na ọlaọcha ahụtara n’ime ụlọnsọ ukwu
ONYENWE ANYỊ, na nke dị n’akụ niile dị n’ụlọeze zigara eze Asịrịa dịka onyinye. 9 Eze
ndị Asịrịa ṅara ya ntị site n’ibuso obodo Damaskọs agha na imeri ya. O gburu Rezin,
bulaa mmadụ niile bi n’ime ya n’ike ka ha gaa biri n’obodo Kia.
10 Mgbe eze Ehaz gara Damaskọs izute Tiglat-Pilesa bụ eze Asịrịa. Ọ hụrụ otu ebe
nchụaja nke dị na Damaskọs. O zigaara Ụraya onye nchụaja oyiyi ebe ịchụ aja ahụ.
O dekwara ihe gbasara ya n’akwụkwọ, nke ga-akọwa otu e si ewu ya. 11 Ya mere,
Ụraya onye nchụaja, wuru ebe ịchụ aja nke dị ka nke ahụ Ehaz hụrụ na Damaskọs.
O wuchara ya tupu eze alọta. 12 Mgbe eze si Damaskọs lọta na Juda, ọ hụrụ ebe ịchụ
aja ahụ, bịaruo ya nso, doo onyinye ịchụ aja ya n’elu ya. 13 Ọ chụrụ aja nsure ọkụ, na
aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ, na aja onyinye mkpụrụ ọka. Ọ wụkwasịrị onyinye
ihe ọṅụṅụ n’elu ebe ịchụ aja ahụ, fesakwa ọbara aja udo ya niile n’elu ebe ịchụ aja
ahụ. 14 O wepụrụ ebe ịchụ aja bronz nke dị n’ihu ONYENWE ANYỊ, o sitere n’ebe ọ dị
n’ihu ụlọnsọ ahụ, n’etiti ebe ịchụ aja ọhụrụ na ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, bute ya
n’akụkụ ugwu nke ebe ịchụ aja ọhụrụ ya.
15 Eze Ehaz nyere Ụraya, bụ onyeisi nchụaja iwu, sị, “Ọ bụ n’elu ebe ịchụ aja ọhụrụ
a ka ị ga na-esure aja nsure ọkụ ụtụtụ niile, na onyinye mkpụrụ ọka nke uhuruchi
niile, na aja nsure ọkụ eze, na onyinye mkpụrụ ọka nke eze, na aja na onyinye nke
ndị niile n’ala a, ya na onyinye mkpụrụ ọka ha niile na onyinye ihe ọṅụṅụ ha niile.
Fekwasị ọbara niile e ji chụọ aja nsure ọkụ na aja ndị ọzọ n’elu ebe ịchụ aja ahụ. Ma

* 16:1 16:1 Ehaz na nna ya Jotam, chịkọrọ dịka eze na Juda n’ime senchuri nke asatọ (Tupu a mụọ Kraịst).
† 16:7 16:7 Arịrịọ enyemaka a site n’ebe eze Pul nọ, mere ka ndị Izrel tufuo ọnọdụ i nwere onwe ha. 2Ih 28:20;
Dit 28:36

ebe ịchụ aja ọla ahụ ga-adịrị m iji jụta ase.” 16 Ụraya onye nchụaja mere ihe niile
dịka eze Ehaz nyere ya n’iwu.
17 Eze bụ Ehaz wepụrụ ihe njikọ niile jikọrọ ihe ndọkwasị ahụ niile a na-ebugharị
ebugharị. O wepụrụ efere ukwu ịdọba mmiri a dọkwasịrị n’elu ehi ọla ahụ dị
n’okpuru ya, ma dọkwasị ya n’elu nkume. 18 N’ihi imekwa ka obi tọọ eze Asịrịa
ụtọ, o wepụrụ ụzọ a na-esite maka ụbọchị izuike nke e wuru n’ime ụlọnsọ, na ụzọ
mbata eze si abanye n’ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị.
19 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n’oge ọchịchị Ehaz, na ihe ndị o mere, ọ bụ
na e deghị ha n’akwụkwọ akụkọ ihe mere n’oge ndị eze Juda? 20 Ehaz soro nna nna
ya ha dina n’ọnwụ, e lie ya n’ebe e liri ha n’obodo Devid. Hezekaya nwa ya ghọrọ
eze n’ọnọdụ ya.

# 17

*Hoshea eze Izrel nke ikpeazụ*

1 N’afọ nke iri na abụọ nke ọchịchị Ehaz, bụ eze Juda, ka Hoshea nwa Elaa ghọrọ
eze Izrel n’obodo Sameria. Ọ chịrị dịka eze afọ itoolu. 2 O mere ihe ọjọọ n’anya
Onyenwe anyị mgbe ọ bụ eze. Ma ọ bụghị dịka ndị eze Izrel ndị ọzọ bu ya ụzọ.
3 Shalmanesa eze Asịrịa bịara buso Hoshea agha, n’ihi na Hoshea nọ n’okpuru
ọchịchị eze Asịrịa, bụrụkwa onye na-atụ ụtụ nye ya kwa afọ. 4 Ma eze Asịrịa
chọpụtara na Hoshea abụghị onye kwesiri ntụkwasị obi n’ihi na Hoshea eze Izrel
zipụrụ ndị ozi ya ka ha jekwuru So, eze Ijipt, maka enyemaka. Ọzọkwa, Hoshea
kwụsịrị ịtụ ụtụ nye eze Asịrịa dịka ọ na-eme kwa afọ. N’ihi ya Shalmanesa nwụchiri
ya, tinye ya n’ụlọ mkpọrọ. 5 Eze Asịrịa wakporo ala ahụ niile n’agha, gbagoo imegide
Sameria, nọchibido ya gburugburu, afọ atọ. 6 N’afọ itoolu nke ọchịchị Hoshea, eze
Asịrịa dọtara Sameria n’agha,[*] dọkpụrụ ndị Izrel niile buga ha n’ala Asịrịa. O mere
ka ha biri n’obodo Hala, n’ime Gozan nke dị n’osimiri Hoboa, na n’ime obodo ndị
Midia.

*Ndọta a dọtara Izrel n’agha n’ihi mmehie*

7 Ihe ndị a niile mere n’ihi na ndị Izrel mehiere megide Onyenwe anyị, bụ Chineke
ha, onye ahụ mere ka ha site n’okpuru ike Fero, eze Ijipt pụta. Ha kpọrọ isiala nye[†]
chi ndị ọzọ 8 gbasoro omenaala niile nke ndị mba ahụ Onyenwe anyị chụpụrụ site
n’ala ha. Ha gbasokwara omenaala ọjọọ ndị ahụ niile ndị eze ha webatara. 9 Ndị
Izrel mere ihe ndị ahụ niile Onyenwe anyị Chineke ha na-adịghị anabata na nzuzo.
Ha wuru ebe ịchụ aja nye chi dị iche iche n’obodo ha niile, e, n’obodo ukwu ma
n’obodo nta ọbụla. 10 Ha manyeere onwe ha ogidi nkume, na ogidi chi Ashera n’elu
ugwu ọbụla, na n’okpuru osisi ọbụla nwere ndo. 11 Ha chụrụ aja nsure ọkụ na-esi
isi ụtọ n’elu ugwu ọbụla dịka mba ndị naara ebi n’ala ahụ si eme, bụ ndị Onyenwe
anyị chụpụrụ site n’ala ha, mgbe Izrel bịara biri n’ebe ahụ. Ha mere ihe ọjọọ dị iche
iche, nke mere ka iwe wee Onyenwe anyị nke ukwuu. 12 E, ha fere arụsị dị iche iche
ofufe, lefuo anya na Onyenwe anyị dọrọ ha aka na ntị sị ha, “Unu emela ihe dị otu
a.” 13 Mgbe niile ka Onyenwe anyị na-eziga ndị amụma ya, na ndị ọhụ ụzọ, ịdọ Izrel
na Juda aka na ntị, sị ha, “Sitenụ n’ajọ ihe unu na-eme chegharịa. Debenụ iwu na
ụkpụrụ m, dịka iwu ahụ niile m nyere nna unu ha ka ha debe si dị, nke m sikwa
n’ọnụ ndị ozi m bụ ndị amụma nye unu.”
14 Ma ndị Izrel jụrụ ige ntị. Kama ha kpachara anya kwesie olu ha ike dịka nna
nna ha mere, bụ ndị na-ekwenyeghị na Onyenwe anyị Chineke ha. 15 Ha jụrụ ụkpụrụ
ya niile na ọgbụgba ndụ ya, nke ya na ndị bụ nna nna ha gbara na iwu nke ọ dọrọ

---

[*] **17:6** 17:6 Ndọta a dọtara ndị Izrel n’agha n’oge a, bụ nke ugboro abụọ. Nke mbụ, bụ n’oge Peka bụ eze. 2Ez
15:29 [†] **17:7** 17:7 Fere chi ndị ọzọ ofufe

ha aka na ntị ka ha debe. Ha gbasooro chi arụsị bụ ihe efu, ha onwe ha ghọkwara
ihe efu. Ha ṅomiri mba dị iche iche ndị ahụ bi ha gburugburu, n'agbanyeghị na
ONYENWE ANYỊ nyere ha iwu sị, "Unu emela dịka ha."
16 Ha jụrụ idebe iwu niile ONYENWE ANYỊ Chineke ha nyere ha. Ha meere onwe ha
ogidi arụsị Ashera, kpụọrọ onwe ha oyiyi ụmụ ehi abụọ. Ha kpọrọ isiala nye Baal, na
anyanwụ, na ọnwa, na kpakpando. 17 Ha jiri ụmụ ha ndị ikom na ụmụ ha ndị inyom
chụọ aja nsure ọkụ nye chi ndị mba ọzọ. Ha gakwara n'aja ịjụ ase, na ịgba aja, si
otu a nyefee onwe ha n'aka ime ihe jọrọ njọ n'anya ONYENWE ANYỊ, si otu a kpasuo
ya iwe.
18 Ya mere, ONYENWE ANYỊ wesoro Izrel iwe nke ukwuu, wezuga ha site n'ihu ya. Ọ
dịkwaghị onye o kwere ka ọ fọdụ, karịakwa naanị ebo Juda.‡ 19 Ma ndị Juda jụkwara
idebe ihe niile ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ha nyere ha n'iwu. Ha sooro omume ọjọọ
ndị Izrel webatara. 20 N'ihi nke a, ONYENWE ANYỊ jụrụ ndị Izrel niile. Ọ tara ha ahụhụ
site n'inyefe ha n'aka ndị na-apụnara mmadụ ihe n'ike tutu ruo mgbe o mere ka e
site n'ihu ya wezuga ha.
21 Mgbe ONYENWE ANYỊ mere ka ndị Izrel dọwapụ onwe ha site n'alaeze Devid, ha
mere Jeroboam nwa Nebat, eze ha. Ma Jeroboam mere ka Izrel site n'iso ONYENWE
ANYỊ wezuga onwe ha. O mere ka ha mee mmehie dị ukwuu. 22 Ọ dịkwaghị mgbe ụmụ
Izrel sitere n'ime mmehie ahụ Jeroboam dubara ha pụta, 23 tutu ruo mgbe ONYENWE
ANYỊ kpochapụrụ Izrel niile site n'ihu ya, dịka o kwuru na ọ ga-eme, site n'ọnụ ndị
amụma na-ejere ya ozi. Ọ bụ nke a mere ndị Izrel ji gaa biri n'Asịrịa dịka ndị a
dọtara n'agha ruo taa.

### *Ndị ọhụrụ bịara biri na Sameria*

24 Eze Asịrịa sitere n'ala Babilọn, Kuta, Ava, Hamat na Sefavaim kpọta ndị mmadụ
bịara biri n'obodo Sameria ịnọchi anya ndị Izrel niile e sitere n'ebe ahụ bupụ. N'ụzọ
dị otu a, ha nwetara Sameria birikwa n'obodo ya niile. 25 Ma mgbe ndị Asịrịa malitere
ibi n'ebe ahụ, ha atụghị egwu ONYENWE ANYỊ, maọbụ fee ya ofufe. N'ihi ya, ONYENWE
ANYỊ zitere ọdụm§ ndị batara n'etiti ha gbuo ụfọdụ mmadụ n'ime ha. 26 Ya mere,
e zigara eze Asịrịa ozi sị ya, "Ndị ahụ i dọtara n'agha mee ka ha bịa biri n'obodo
Sameria amaghị ihe chi nwe ala ahụ chọrọ. O zitere ọdụm n'etiti ha, nke na-egbu ha,
n'ihi na ndị ahụ amaghị ihe ọ chọrọ."
27 Eze Asịrịa nyere iwu sị: "Ka otu onye n'ime ndị nchụaja* e si na Sameria dọta
n'agha laghachi gaa biri n'ebe ahụ, izi ndị bi n'obodo ahụ ihe chi ala ahụ chọrọ."
28 Ya mere, otu n'ime ndị nchụaja ebuuru site na Sameria gaa ala ọzọ, bịara biri na
Betel, kuziere ha otu ha ga-esi na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ.
29 N'agbanyeghị nke a, ndị mba ọbụla meere onwe ha chi nke aka ha n'obodo ahụ
niile ebe ha bi n'ime ya. Ha guzobere chi ndị a n'ụlọ arụsị nke ndị Sameria wuru
n'ebe niile dị elu. 30 Ndị si Babilọn mere chi ha a na-akpọ Sukọt Benot; ndị si Kut emee
Neagal, ebe ndị si Hamat mekwara Ashima. 31 Ndị si Ava mekwara Nibaz, na Tatak,
ma ndị si Sefavaim na-esure ụmụ ha n'ọkụ dịka aja nye Adramelek na Anamelek,
bụ chi ndị Sefavaim. 32 Ha tụrụ egwu†ONYENWE ANYỊ, ma ha họpụtara ụdị mmadụ
dị iche iche site n'etiti onwe ha, ndị na-ejere ha ozi dịka ndị nchụaja n'ụlọ chi ha dị
n'ebe niile dị elu. 33 Ha na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ ma ha gara n'ihu na-efe chi nke
aka ha dịka omenaala mba ebe ndị e si dọta ha n'agha si dị.

‡ **17:18** 17:18 Ndị alaeze ndịda si n'agbụrụ Simiọn na Benjamin, maọbụ naanị ebo Juda gosiri onwe ha ndị kwesiri ntụkwasị obi, gụọ akwụkwọ 1Ez 11:13,32 § **17:25** 17:25 N'ihi n'ala ahụ tọgbọrọ n'efu nwa oge nta, nke mere ka ọdụm bi n'ọhịa ndị Palestia mụbaa. Lev 26:21-22 * **17:27** 17:27 Onye n'otu n'ime ndị nchụaja ahụ Jeroboam họpụtara, bụ ndị na-achụ aja nye chi nwa ehi ahụ ọ kpụrụ na Betel. 1Ez 12:31 † **17:32** 17:32 Kpọkwara isiala nye

34 Ruo taa, ha na-anọgidesi ike n'ife ofufe dịka ụzọ ochie ha si dị. Ha adịghị atụ
egwu ONYENWE ANYỊ, maọbụ mee dịka ụkpụrụ na iwu niile, maọbụ dịka ntụziaka na
ihe niile enyere n'iwu si dị, bụ nke ONYENWE ANYỊ nyere ụmụ Jekọb, onye ọ kpọrọ
Izrel. 35 Mgbe ONYENWE ANYỊ na ndị Izrel gbara ndụ, o nyere ha iwu sị, "Unu atụkwala
chi ọzọ ọbụla egwu, maọbụ kpọọ isiala nye ha. Unu efela ha ofufe maọbụ chụọ aja
nye ha. 36 Ma ONYENWE ANYỊ, onye ji ike dị ukwuu, na aka dị ike e setịpụrụ esetipụ
kpọpụta unu site n'ala Ijipt, bụ naanị onye unu ga-atụ egwu. Ya ka unu ga-akpọ
isiala nye, ya ka unu ga-achụrụ aja. 37 Unu ga-elezi anya hụ na unu debere ụkpụrụ
na iwu niile, ntụziaka na ihe niile enyere n'iwu ndị a e depụtara n'akwụkwọ nye
unu. Unu atụkwala egwu‡ chi ndị ọzọ. 38 Unu echefula ọgbụgba ndụ ahụ mụ na unu
gbara. Unu akpọkwala isiala nye chi ndị ọzọ n'ihi egwu. 39 Kama, tụọnụ egwu ma fee
ONYENWE ANYỊ Chineke unu. Ọ bụ ya ga-anapụta unu site n'aka ndị iro unu niile."
40 Ma ndị Izrel egeghị ntị, kama, dịka ụzọ ọjọọ ha si dị, ha fere chi ọzọ ofufe. 41 Ọ
bụ ezie na ndị a na-efe ONYENWE ANYỊ ofufe, ma ha nọgidekwara na-ejere arụsị niile
ha ozi. Ruo taa, ụmụ ha, na ụmụ ụmụ ha, gara n'ihu na-emekwa ihe nna nna ha
mere.

# 18

*Hezekaya eze Juda*

1 N'afọ nke atọ nke ọchịchị Hoshea nwa Elaa eze Izrel ka Hezekaya nwa Ehaz eze
Juda malitere ọchịchị nke ya. 2 Ọ gbara iri afọ abụọ na ise mgbe ọ malitere ị bụ eze.
Ọ chịrị iri afọ abụọ na itoolu na Jerusalem. Aha nne ya bụ Abija,* ada Zekaraya. 3 O
mere ihe ziri ezi n'anya ONYENWE ANYỊ, dịka nna nna ya Devid. 4 O wepụrụ ebe niile
dị elu, kurisie ogidi nsọ niile, gbutukwa ogidi Ashera niile. O tipịakwara agwọ bronz
ahụ Mosis mere, n'ihi na ruo n'oge ahụ, ụmụ Izrel na-esure aja nsure ọkụ na-esi isi
ụtọ nye ya. (A kpọrọ ya Nehushtan.)
5 Hezekaya tụkwasịrị ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel obi ya. N'ezie, o nwekwaghị
onye ọzọ dị ka ya n'etiti ndị eze Juda niile, ndị bu ya ụzọ chịa, na ndị so ya. 6 Ọ
gbasoro ONYENWE ANYỊ n'ụzọ niile. O sitekwaghị n'ụzọ ONYENWE ANYỊ wezuga onwe
ya. O debere ihe niile ONYENWE ANYỊ nyere Mosis n'iwu. 7 ONYENWE ANYỊ nọnyeere
ya n'ebe ọbụla ọ gara, ihe niile o mere gaara ya nke ọma. O nupuru isi jụ ịnọkwa
n'okpuru eze ndị Asịrịa, o fekwaghị ya ofufe. 8 O tigburu ndị Filistia n'ala ha niile
ruo na Gaza, na obodo dị ya gburugburu. Ọ lara obodo ahụ niile n'iyi, obodo ukwu
niile e wusiri ike na obodo nta niile a na-ewusighị ike.
9 N'afọ nke anọ nke ọchịchị Hezekaya, nke bụkwa afọ nke asaa nke ọchịchị Hoshea
nwa Elaa, bụ eze Izrel, Shalmanesa, eze Asịrịa gbagoro imegide Sameria, nọchibido
ya gburugburu. 10 Mgbe afọ atọ gasịrị, n'afọ nke isii nke ọchịchị Hezekaya, na afọ
nke itoolu nke ọchịchị Hoshea, bụ eze Izrel, ndị agha Asịrịa dọtara Sameria n'agha.
11 Ọ bụ n'oge ahụ ka eze Asịrịa bupụrụ ndị Izrel niile bulaa ha Asịrịa n'ime obodo
Hala, na Gozan n'akụkụ iyi ukwu Hoboa, na n'obodo ndị Midia. 12 Nke a mere n'ihi
na ha jụrụ ige ntị n'olu ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ha, jụkwa ime ihe ọ chọrọ ka ha
mee. Ha edebeghị ọgbụgba ndụ ya na iwu niile Mosis onyeozi ONYENWE ANYỊ nyere
ha. Ha jụrụ ige ntị n'iwu ndị a, maọbụ debe ha.
13 N'afọ nke iri na anọ nke ọchịchị eze Hezekaya, Senakerib bụ eze Asịrịa, busoro
obodo Juda niile e wusiri ike agha, merikwaa ha. 14 Mgbe ahụ, Hezekaya chọrọ ụzọ
ọ ga-esi mee udo, zie ozi zigara eze Asịrịa n'obodo Lakish sị ya, "Emehiela m, biko,
site n'ala m pụọ. Aga m akwụ gị ihe ọbụla ị chọrọ n'aka m." Eze Asịrịa sitere n'aka
Hezekaya eze Juda nara narị talenti ọlaọcha atọ, na iri talenti ọlaedo atọ. 15 Hezekaya

‡ **17:37** 17:37 Maọbụ, efekwala * **18:2** 18:2 Maọbụ, Abi

chịịrị ọlaọcha niile ọ chọtara n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, na akụ niile dị n'ụlọeze,
nye ya eze Asịrịa.
16 N'oge ahụ, Hezekaya bụ eze Juda, nyakapụtachara ọlaedo niile o ji techie ibo na
ibo ọnụ ụzọ ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, chịrị ihe ndị a niile nye eze Asịrịa.

### *Senakerib ebuo agha megide Jerusalem*

17 Eze Asịrịa sitere na Lakish zipụ ọchịagha† onye ọkwa ya kasị ukwuu, onyeisi ndị
na-eje ozi na ọchịagha ya na usuu ndị agha ka ha jekwuru Hezekaya na Jerusalem.
Ndị agha a bịaruru Jerusalem kwụsị n'akụkụ olulu warawara‡ e gwuru ebe Ọdọ
mmiri dị elu si n'asọfe, n'ụzọ e si aga obosara ala ndị na-asụ akwa. 18 Mgbe ha
kpọrọ eze oku ka ọ bịa, Eliakịm nwa Hilkaya, onye nlekọta ụlọeze, na Shebna, ode
akwụkwọ eze, na Joa nwa Asaf, onye ndekọ akụkọ ihe mere, pụrụ jekwuru ha.
19 Ọchịagha ahụ sịrị ha, "Gwanụ Hezekaya:
" 'Otu a ka eze ukwu ahụ, bụ eze Asịrịa na-ekwu, Ọ bụ na gịnị ka ntụkwasị obi
gị dabere? 20 Ị na-ekwu na i nwere ndụmọdụ na ike ibu agha, maọbụ naanị egbe
ọnụ§ ka ị na-agba. Ọ bụ onye ka ị na-atụkwasị obi mere i ji enupu isi n'okpuru m?
21 Lee, amatara m na ị na-atụkwasị obi n'Ijipt, mkpanaka achara ahụ gbajiri agbaji,
nke na-adụwa aka onye ọbụla na-adabere na ya. Otu a ka Fero, eze Ijipt dị nye ndị
niile na-atụkwasị ya obi. 22 Ma ọ bụrụ na unu asị m, "Anyị na-atụkwasị ONYENWE
ANYỊ bụ Chineke anyị obi." Ọ bụghị ya ka Hezekaya wezugara ebe ya niile dị elu
na ebe ịchụ aja ya niile, na-asị Juda na Jerusalem, "Unu aghaghị ịkpọ isiala n'ebe
ịchụ aja dị n'ime Jerusalem?"
23 " 'Ma ugbu a, bịa kwee nna m ukwu, bụ eze Asịrịa nkwa. Aga m enye gị puku
ịnyịnya abụọ ma ọ bụrụ na i nwere ike ịchọta ndị ga-agba ha. 24 Ị ga-esi aṅaa jụ
otu onyeisi nke dịkarịsịrị nta n'ime ndịisi ọrụ onyenwe m, na-agbanyeghịkwa na i
na-atụkwasị obi n'Ijipt maka inweta ụgbọ agha na ndị na-agba ịnyịnya? 25 Tinyere
nke a, abịara m ibuso ala a agha na ibibi ya ma enweghị okwu sitere na Chineke
bịa? Ọ bụ ONYENWE ANYỊ ya onwe ya gwara m ka m bilie megide obodo a, lakwaa
ya n'iyi.' "
26 Mgbe ahụ, Eliakịm nwa Hilkaya, Shebna na Joa sịrị ọchịagha ahụ, "Biko, gwa ndị
ohu gị okwu n'asụsụ Aramaik,* ebe ọ bụ na anyị na-aghọta ya. Agwala anyị okwu
n'asụsụ Hibru, ebe ndị nọ n'elu mgbidi ga-anụ."
27 Ma ọchịagha ahụ zaghachiri, "Ọ bụ n'ihi naanị nna unu ukwu na nye unu onwe
unu ka nna m ukwu ji zite m, ka m kwuo ihe ndị a? Ọ bụghị n'ihi ndị mmadụ ahụ
na-anọdụ n'elu mgbidi, ndị, dịka unu, ha ga-eso rie nsị ha nyụrụ, ṅụọkwa mamịrị
ha nyụrụ?"
28 Mgbe ahụ, ọchịagha ahụ guzoro were oke olu kwuo n'asụsụ Hibru, sị, "Nụrụnụ
okwu eze ukwu ahụ, bụ eze Asịrịa. 29 Nke a bụ ihe eze sịrị, unu ekwela ka Hezekaya
duhie unu. Ọ pụghị ịzọpụta unu site n'aka m. 30 Unu ekwela ka Hezekaya mee ka unu
tụkwasị ONYENWE ANYỊ obi. Mgbe ọ na-asị, 'N'ezie, ONYENWE ANYỊ aghaghị ịnapụta
anyị, a gaghị enyefe obodo a n'aka eze Asịrịa.'
31 "Unu aṅakwala Hezekaya ntị. Ihe a ka eze Asịrịa kwuru: Pụkwutenụ m, bịanụ ka
mụ na unu mee udo.† Mgbe ahụ, onye ọbụla n'ime unu ga-eri mkpụrụ si n'ubi vaịnị
ya na nke si n'osisi fiig ya, ṅụọkwa mmiri‡ nke si n'ihe icheta mmiri ya: 32 ruo mgbe
m ga-abịa duru unu gaa n'ala dịka nke unu, bụ ala mkpụrụ ọka na nke mmanya

---

† **18:17** 18:17 A na-akpọ Tatan ‡ **18:17** 18:17 Olulu warawara mmiri nke eze Hezekaya gwuru, bụ maka i ji webata mmiri n'ime obodo site n'iyi Gaihọn. § **18:20** 18:20 Ọ bụ sọsọ okwu egbugbere ọnụ * **18:26** 18:26 Asụsụ Aramaik (ndị Siria) bụ asụsụ mba na mba ji emekọrịta ihe n'oge ahụ, ma ọ mesịrị ghọọ asụsụ ndị Juu, site na senchuri nke ise tupu a mụọ Kraịst. † **18:31** 18:31 Na mgbe ochie a na-eme udo site n'ịgba ndụ ‡ **18:31** 18:31 Nke a na-egosi ọnọdụ udo na ọganihu.

ọhụrụ, ala achịcha na ubi vaịnị, ala mmanụ aṅụ na osisi oliv jupụtara n'ime ya. Họrọnụ ndụ ka unu ghara ịnwụ.
"Unu egela Hezekaya ntị, n'ihi na ọ bụ nrafu ka ọ na-arafu unu mgbe ọ na-asị,
'ONYENWE ANYỊ ga-anapụta anyị.' 33 O nwere chi mba ọbụla nke napụtara ha site
n'aka eze Asịrịa? 34 Olee ebe ka chi ndị Hamat na Apad nọ? Olee ebe ka chi ndị
Sefavaim, Hena na Iva nọkwa? Ha anapụtala Sameria site n'aka m? 35 Olee chi
n'ime chi mba ndị a niile bụ nke zọpụtarala ala ya site n'aka m? Unu si aṅaa chee na ONYENWE ANYỊ pụrụ ịzọpụta Jerusalem site n'aka m?"
36 Ma ndị ahụ niile gbara nkịtị, ha ekwughị ihe ọbụla, n'ihi na eze nyere ha iwu sị, "Unu azaghachila ya."
37 Mgbe ahụ, Eliakịm nwa Hilkaya, onye na-elekọta ụlọeze, na Shebna ode akwụkwọ eze, na Joa nwa Asaf ode akwụkwọ, ha yi uwe ha dọwara adọwa, bịakwute Hezekaya gwa ya ihe niile onyeisi agha ahụ kwuru.

# 19

*A ga-agbapụta Jerusalem*

1 Mgbe eze Hezekaya, nụrụ nke a, ọ dọwara uwe ya, yikwasị akwa mkpe, baa
n'ime ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ. 2 O zipụrụ Eliakịm onye nlekọta ụlọeze, Shebna
ode akwụkwọ eze na ndị okenye n'etiti ndị nchụaja, bụ ndị yikwa akwa mkpe, ka
ha jekwuru Aịzaya onye amụma, nwa Emọz. 3 Ha sịrị ya, "Otu a ka Hezekaya sịrị, Ụbọchị taa bụ ụbọchị ahụhụ, na ịba mba na nke ihe ihere. Ụbọchị jọgburu onwe ya dịka ụbọchị nwanyị nọ n'oke ihe mgbu nke ịmụ nwa ma ike adịkwaghị o ji amụpụta
nwa ya. 4 Ma eleghị anya ONYENWE ANYỊ Chineke gị, ga-anụ okwu ahụ niile nke Rabashaka bụ ọchịagha, onye nna ya ukwu bụ eze Asịrịa, zitere ịkwa Chineke dị ndụ emo. Eleghị anya ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-abara ya mba n'ihi okwu ndị a niile o kwuru, bụ ndị ọ nụrụ. Ya mere, kpeere anyị ekpere, anyị bụ ndị fọdụrụ ndụ."
5 Mgbe ndị ozi eze Hezekaya bịakwutere Aịzaya, 6 ọ sịrị ha, "Otu a ka unu ga-asị nna unu ukwu, 'Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, Atụla egwu n'ihi okwu niile nke ị
nụrụ, bụ nke ndị na-ejere eze Asịrịa ozi ji kwuluo m. 7 Gee ntị, mgbe ọ nụrụ akụkọ dị aṅaa, aga m eme ka ọ chọọ ịlaghachi n'obodo nke aka ya. N'ebe ahụ ka m ga-emekwa ka e jiri mma agha gbuo ya.' "
8 Mgbe ọchịagha ahụ nụrụ na eze Asịrịa e sitela n'obodo Lakish pụa, ọ laghachiri hụ na eze Asịrịa na-ebuso obodo Libna agha.
9 N'oge ahụ, Senakerib natara ozi na Tiahaka, eze Kush,* na-apụta ịbịa ibuso ya
agha. Ya mere, o zipụrụ ndị ozi ka ha ga zie Hezekaya ozi, sị, 10 "Gwanụ Hezekaya, eze Juda, Ekwela ka Chineke onye ị na-atụkwasị obi duhie gị, mgbe ọ na-asị, 'Agaghị
enyefe Jerusalem n'aka eze Asịrịa.' 11 N'ezie a, ị nụla ihe ndị eze Asịrịa mere obodo niile ha busoro agha, otu ha si bibie ha kpamkpam. Ma a ga-anapụtakwa gị onwe gị?
12 Chi niile nke mba niile ndị ahụ nna nna m ha lara n'iyi, ha napụtara ha, bụ chi ndị
Gozan, Haran, Rezef na nke ndị Eden, ndị nọ na Tel Asa? 13 Olee ebe eze ndị Hamat maọbụ eze Apad nọ? Olee ebe eze obodo Lair, Sefavaim, Hena na Iva nọkwa?"

*Ekpere Hezekaya*

14 Mgbe Hezekaya natara akwụkwọ ozi a site n'aka ndị ozi ahụ, gụọ ya, o weere ya gaa n'ime ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, gbasaa ya n'ihu ONYENWE ANYỊ. 15 Hezekaya kpere
ekpere nye ONYENWE ANYỊ, sị, "O, ONYENWE ANYỊ, Chineke nke Izrel, onye ocheeze ya dị n'etiti ndị cherubim, naanị gị bụ Chineke na-achị alaeze niile nke ụwa. Ọ bụkwa naanị gị kere eluigwe na ụwa. 16 Tọọ ntị gị n'ala, o ONYENWE ANYỊ ma nụrụ; meghee

* **19:9** 19:9 Nke a bụ Itiopia ugbu a

anya gị abụọ ONYENWE ANYỊ, ka ịhụ; gee ntị nụkwa okwu ndị ahụ Senakerib zitere,
nke o ji ekwulu Chineke dị ndụ.
17 "N'eziokwu, ONYENWE ANYỊ, ndị eze Asịrịa alala mba niile a dị iche iche na ala ha
n'iyi, mee ka ha tọgbọrọ n'efu. 18 Ha atụnyekwala chi ha niile n'ime ọkụ, repịakwa
ha, n'ihi na ọ bụghị chi ka ha bụ, kama ha bụ naanị ihe a kpụrụ akpụ, nke mmadụ
ji osisi na nkume pịa. 19 Ugbu a, ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, biko, zọpụta anyị site
n'aka ya, ka alaeze niile nke ụwa mata na naanị gị ONYENWE ANYỊ, naanị, bụ Chineke."

### *Aịzaya ebuo amụma ọdịda Senakerib*

20 Mgbe ahụ Aịzaya nwa Emọz zigaara Hezekaya ozi sị, "Otu a ka ONYENWE ANYỊ,
Chineke Izrel sịrị, Anụla m ekpere i kpere banyere Senakerib, eze Asịrịa. 21 Nke a bụ
okwu nke ONYENWE ANYỊ kwuru megide ya:

" 'Nwaagbọghọ na-amaghị nwoke, bụ Ada Zayọn
na-eleli gị anya, ma jirikwa gị na-eme ihe ọchị.
Nwaada Jerusalem
na-efufekwa isi ya mgbe ị na-agbapụ ọsọ
22 Onye ka ị kparịrị ma kwulukwaa?
Ọ bụ onye ka i sitere na nganga gị
welie olu okwu gị na anya gị elu megide?
Ọ bụ megide Onye Nsọ nke Izrel?
23 I sitere n'aka ndị ozi gị
kparịa Onyenwe anyị, kwuluo ya,
ị sịkwara,
"Eji m ọtụtụ ụgbọala m
rigoruo ebe dị elu nke n'elu ugwu niile,
n'ebe kachasị elu nke ugwu Lebanọn.
Egbudasịala m osisi sida ya niile toro ogologo,
na osisi junipa ya niile kachasị mma.
Ejeruola m na nsọtụ niile ya,
bụ ebe kachasị maa mma n'oke ọhịa ya niile.
24 Egwuola m ọtụtụ olulu mmiri n'ala ndị mba ọzọ,
ṅụkwa mmiri dị n'ebe ahụ.
Ọ bụ ọbụ ụkwụ m ka m ji mee
ka isi iyi niile dị n'Ijipt takpọọ."

25 " 'Ọ bụ na ị nụbeghị?
Na mgbe ochie ka m kpebiri ya.
N'ụbọchị ndị ahụ gara aga ka m nọ pịa ọpịpịa ya;
ugbu a, emeela m ka ọ bịa na mmezu,
na ị meela ka obodo nke mgbidi gbara gburugburu,
ghọọ mkpokọta nkume.
26 Ndị bi n'ime ha, ndị a napụrụ ike ha nwere
bụ ndị dara mba, ndị e tinyekwara n'ọnọdụ ihere.
Ha dịka ahịhịa ndụ puru n'ala ubi
na ome na-epupụta epupụta
nakwa ahịhịa na-etopụta n'elu ụlọ
nke anwụ na-achakpọ tupu o tolite.

27 " 'Ma amaara m ebe ị nọ ọnọdụ
marakwa ọpụpụ gị na mbata gị
marakwa oke iwe gị megide m.

28 N’ihi ọnụma dị gị n’obi megide m,
n’ihi na mkparị gị eruola m ntị,
aga m etinye nko m n’imi gị
werekwa mkpụmkpụ igwe m kpachie egbugbere ọnụ gị
mee ka ị laghachi
site n’ụzọ ahụ nke i siri bịa.’
29 “Ma nke a ga-abụ ihe ịrịbama, nye gị, Hezekaya:
“N’afọ a unu ga-eri ihe na-epu n’onwe ya,
n’afọ nke abụọ unu ga-eri ihe ubi si na nke ahụ pupụta.
Ma n’afọ nke atọ ghaanụ mkpụrụ ubi, weenụ ihe ubi;
kụọ vaịnị n’ubi vaịnị, riekwanụ mkpụrụ ha.
30 Ọzọkwa, ndị fọdụrụ n’alaeze Juda
ga-agba mgbọrọgwụ n’okpuru ala, mịkwaa mkpụrụ n’elu.
31 N’ihi na ọ bụ site na Jerusalem ka ndị fọdụrụ ga-esi pụta;
otu ndị fọdụrụ ndụ ga-esitekwa n’ugwu Zayọn pụta.

“Ọ bụ site n’ịnụ ọkụ n’obi nke ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile ga-emezu nke a.

32 “Ya mere, nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru banyere eze Asịrịa, sị,
“ ‘Ọ gaghị azọbata ụkwụ ya n’ime obodo a
maọbụ gbaa ọ bụladị otu àkụ n’ebe a.
Ọ gaghị eji ọta jegharịa n’ọnụ ụzọ ama ya,
maọbụ wuo mgbidi nnọchibido megide ya.
33 Ụzọ o si bịa ka ọ ga-esi laghachi;
ọ gaghị abanye n’obodo a.
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
34 Aga m echebe obodo a, zọpụtakwa ya
n’ihi aha m, na n’ihi Devid, bụ ohu m.’ ”
35 N’abalị ahụ, mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ pụrụ gaa tigbuo otu puku narị na puku iri
asatọ na ise n’ụlọ ikwu ndị Asịrịa. Mgbe ndị mmadụ tetara n’isi ụtụtụ, lee, ozu ka
ha jupụtara ebe niile. 36 Ya mere, Senakerib, eze Asịrịa biliri ije, laghachi n’ala ya. Ọ
laghachiri biri n’obodo Ninive.
37 Otu ụbọchị, mgbe ọ nọ na-akpọ isiala n’ụlọ chi ya a na-akpọ Nisrọk, ụmụ ya ndị
ikom aha ha bụ Adramelek na Shareza were mma agha gbuo ya. Ha gbapụrụ ọsọ
gbaga n’ala Ararat. Isahadon, bụ nwa ya nwoke, ghọrọ eze n’ọnọdụ ya.

# 20

*Ọrịa Hezekaya*

1 N’oge ahụ, Hezekaya rịara ọrịa ruo na ọ gaara anwụ. Aịzaya onye amụma nwa
Emọz bịakwutere ya sị ya, “Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị, Dozie ezinaụlọ gị, n’ihi na ị
ga-anwụ. Ị gaghị esite n’ute ọrịa a bilie.”
2 Hezekaya tụgharịrị chee ihu ya n’aja ụlọ, kpee ekpere nye ONYENWE ANYỊ, sị,
3 “Chetakwa, ONYENWE ANYỊ, otu m si jegharịa n’ihu gị n’ikwesị ntụkwasị obi, jiri obi
m niile fee gị ofufe, ma meekwa ihe dị mma n’anya gị.” Hezekaya bekwara akwa
nke ukwuu.
4 Tupu Aịzaya esite n’etiti ogige ụlọeze pụọ, okwu nke ONYENWE ANYỊ rutere ya ntị,
sị ya: 5 “Gaghachi azụ, gaa gwa Hezekaya, onye na-achị ndị m, ‘Otu a ka ONYENWE
ANYỊ bụ Chineke nna gị Devid, kwuru: Anụla m ekpere gị, ahụkwala m anya mmiri
akwa gị, aga m agwọ gị. Aga m eme ka ahụ dị gị ike n’ụbọchị nke atọ site taa, mgbe

ahụ ị ga-aga n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị. 6 Aga m atụkwasị afọ iri na ise n'ụbọchị
ndụ gị. Aga m anapụtakwa gị na obodo a site n'aka eze Asịrịa. Aga m echebe obodo
a n'ihi mụ onwe m, na n'ihi Devid, bụ ohu m.' "
7 Mgbe ahụ, Aịzaya sịrị, "Kwadoonụ mmanụ fiig dị ọkụ." Ha mere nke a, teekwasị
ya n'elu etuto ahụ, ahụ dịkwara ya mma.
8 Mgbe ahụ, Hezekaya jụrụ Aịzaya sị, "Gịnị ga-abụ ihe ịrịbama na Onyenwe anyị
ga-agwọ m, na m ga-aga n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị n'ụbọchị nke atọ na-abịa
n'ihu?"
9 Aịzaya zara, "Nke a bụ ihe ama Onyenwe anyị nye gị na Onyenwe anyị ga-emezu
ihe o kwere na nkwa. Ị chọrọ ka onyinyo a gaa n'ihu ihe nrigo iri, ka ọ bụ ka ọ laa
azụ ihe nrigo iri?"
10 Hezekaya zara sị, "Ọ dị mfe ka onyinyo gaa n'ihu nzọ ụkwụ iri. Ma mee ka
onyinyo a laa azụ ihe nrigo iri."
11 Mgbe ahụ, Aịzaya, onye amụma rịọrọ Onyenwe anyị ka o meere Hezekaya nke
a. Onyenwe anyị mekwara ka onyinyo laghachi azụ ihe nrigo iri dịka o si gbada n'ihe
nrigo ụlọ Ehaz.

### *Ndị ozi si Babilọn*

12 N'oge ahụ, Merodak-Baladan,* nwa Baladan, bụ eze Babilọn zigaara Hezekaya
akwụkwọ ozi ekele na onyinye, n'ihi na ọ nụrụ na Hezekaya rịara ọrịa. 13 Hezekaya
nabatara ndị ozi ahụ gosi ha ihe niile dị n'ụlọakụ ya, ọlaọcha, na ọlaedo, ụda dị iche
iche na-esi isi ụtọ na ezigbo mmanụ oliv, ụlọ ebe ngwa agha ya niile dị, na ihe niile
bụ akụ o nwere. Ọ dịghị ihe dị n'ụlọeze ya maọbụ n'alaeze ya niile nke ọ na-egosighị
ha.
14 Mgbe ahụ, Aịzaya onye amụma jekwuru eze Hezekaya jụọ ya sị, "Gịnị ka ndị
ikom ndị ahụ kwuru? Ebeekwa ka ha si bịakwute gị?"
Hezekaya zara sị, "Ọ bụ n'ala dị anya ka ha si, ha si Babilọn."
15 Onye amụma jụrụ, "Gịnị ka ha hụrụ n'ụlọ gị?"
Hezekaya zara sị, "Ihe niile nke dị n'ụlọ m ka ha hụrụ. Ọ dịghị ihe niile dị n'ụlọakụ
m nke m na-egosighị ha."
16 Mgbe ahụ, Aịzaya sịrị Hezekaya, "Gee ntị nụrụ okwu Onyenwe anyị. 17 Lee,
oge na-abịa mgbe a ga-eburu ihe niile dị n'ụlọeze gị, na ihe niile nke nna nna gị ha
debere n'ụlọakụ ruo taa, buru ha bulaa Babilọn. Ọ dịkwaghị ihe ga-afọdụ, otu a ka
Onyenwe anyị kwuru. 18 A ga-ebupụ ụfọdụ n'ime ụmụ gị, ndị bụ ahụ na ọbara gị,†
ndị a ga-amụtara gị, buru ha pụọ n'ebe dị anya, ha ga-abụ ndị onozi n'ụlọeze nke
eze Babilọn."
19 Hezekaya zaghachiri, "Okwu Onyenwe anyị nke i kwuru dị mma." N'ihi na o
chere n'obi ya sị, "Ọ bụ na udo na nchekwa agaghị adị n'oge ndụ m?"
20 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Hezekaya, ọrụ niile ọ rụrụ,
tinyere ọdọ mmiri o gwuru, na olulu ọwa mmiri‡ na-aga o gwuru, nke o ji webata
mmiri n'ime obodo, ọ bụ na e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ihe mere n'oge ndị eze
Juda? 21 Hezekaya sooro ndị nna nna ya dinaa n'ọnwụ. Manase nwa ya ghọrọ eze
n'ọnọdụ ya.

## 21

### *Manase eze Juda*

* **20:12** 20:12 Merodak, bụ aha chi ndị Babilọn a na-akpọ Maadọk, Ọ bụ ya ka a gụrụ nwa Baladan. † **20:18** 20:18 Ụmụ sị n'ahụ gị pụta ‡ **20:20** 20:20 Hezekaya gbobichiri mmiri iyi Gaihọn, gwuo olulu ebe mmiri a si aga, ka ọ dịrị ha mfe i nweta mmiri ma ndị iro gbaa Jerusalem gburugburu n'oge agha. 2Ih 32:30

1 Manase gbara afọ iri na abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị iri afọ ise na ise
na Jerusalem. Aha nne ya bụ Hefziba. 2 O mere ihe dị njọ n'anya ONYENWE ANYỊ, site
n'ịgbaso ihe arụ niile nke ndị mba ọzọ bi n'ala ahụ na mbụ mere, bụ ndị ONYENWE
ANYỊ chụpụrụ n'ihu ndị Izrel. 3 O wugharịrị ebe dị elu niile nke nna ya Hezekaya
lara n'iyi. O wukwara ebe ịchụ aja dị iche iche nye Baal, pịakwa ogidi Ashera, dịka
Ehab eze Izrel mere. Ọ kpọrọ isiala nye usuu ihe niile nke dị na mbara eluigwe,*
feekwa ha ofufe. 4 O wuru ebe ịchụ aja dị iche iche, n'ime ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, nke
ONYENWE ANYỊ, kwuru okwu banyere ya sị, "Ọ bụ na Jerusalem ka m ga-etinye Aha
m." 5 O wuru ebe ịchụ aja nye usuu ihe niile dị na mbara eluigwe,† n'ogige abụọ nke
n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. 6 O jikwa nwa ya nwoke chụọ aja n'ime ọkụ, ọ gbara aja,
chọọ ọsịsa n'aka ndị mgbaasị, jụta ase n'aka ndị na-ajụ mmụọ ọjọọ ase, ya na ndị
dibịa afa mekọkwara ihe. O mere ihe dị njọ n'ebe ọ dị ukwuu n'anya ONYENWE ANYỊ,
si otu a kpasuo ya iwe.
7 O were chi Ashera a pịrị apị, bụ nke o mere, debe n'ime ụlọnsọ ahụ, nke ONYENWE
ANYỊ gwara Devid na nwa ya Solomọn okwu, sị, "N'ụlọnsọ a na n'ime Jerusalem, nke
mụ onwe m họpụtara site n'ebo niile nke Izrel, ka m ga-akpọkwasị Aha m ruo mgbe
ebighị ebi. 8 Ma agaghị emekwa ka ụkwụ ndị Izrel wagharịa ọzọ site n'ala ahụ nke
m nyere ndị nna nna ha, naanị ma ọ bụrụ na ha elezie anya debe ihe niile m nyere
ha n'iwu ma debekwa iwu niile nke ohu m bụ Mosis nyere ha." 9 Ma ha egeghị ntị,
Manase duhiere ha, mee ka ha mee ihe dị njọ karịa nke ndị mba niile ndị ONYENWE
ANYỊ lara n'iyi site n'ihu ndị Izrel.
10 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ kwuru okwu site n'ọnụ ndị amụma ya, sị, 11 "N'ihi na
Manase, eze Juda emeela ihe arụ ndị a, o meela ihe dị njọ karịa nke ndị Amọrait,‡
bụ ndị bụ ya ụzọ, o werela arụsị ya duba Juda n'ime mmehie. 12 Ya mere, nke a bụ
ihe ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nke Izrel, sịrị: Lee, ana m aga iweta mbibi dị ukwuu
nke ga-adakwasị Jerusalem na Juda, nke ntị ọbụla nụrụ ya ga-azụ wuruwuru. 13 Aga
m esetipụ eriri ịtụ ọtụtụ nke m ji megide Sameria na ihe ịtụ mgbidi nke m ji megide
ụlọ Ehab, n'elu Jerusalem. Aga m ehichapụ Jerusalem dịka mmadụ si ehichapụ efere,
hichaa ya ihu na azụ ma kpuo ya ihu n'ala. 14 Aga m agbakụtakwa ndị fọdụrụ n'ihe
nketa m azụ, were ha nyefee n'aka ndị iro ha. Ha ga-aghọ ihe anaara n'ike, ghọọkwa
ihe nkwata n'agha nye ndị iro ha niile, 15 n'ihi na ha emeela ihe dị njọ n'anya m,
kpasukwaa m iwe, site n'ụbọchị nna nna ha si Ijipt pụta ọbụladị ruo taa."
16 Nke ka nke, Manase gbukwara ọtụtụ ndị aka ha dị ọcha, ruo na ọ wụsaara ọbara
ha site n'otu akụkụ Jerusalem ruo n'akụkụ nke ọzọ ya, nke a agụnyeghị mmehie ahụ
nke o dubara ndị Juda ime, nke mere ka ha mee ihe dị njọ n'anya ONYENWE ANYỊ.
17 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Manase na ihe niile o mere,
tinyere mmehie niile nke o mere, ọ bụ na e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ihe mere
n'oge ndị eze Juda? 18 Manase soro ndị nna nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya n'ime
ubi a gbara ogige n'ụlọeze ya, bụ ubi Ụza a gbara ogige. Amọn nwa ya ghọrọ eze
n'ọnọdụ ya.

### *Amọn eze Juda*

19 Amọn gbara iri afọ abụọ na abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị afọ abụọ na
Jerusalem. Aha nne ya bụ Meshulemet, ada Haruz onye Jotba. 20 O mere ihe dị njọ
n'anya ONYENWE ANYỊ dịka nna ya Manase mere. 21 Ọ gbasoro ụzọ ahụ niile dị iche
nke nna ya gbasoro. O fere arụsị niile nke nna ya fere, kpọọkwa isiala nye ha.§ 22 Ọ
jụrụ iso ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nna nna ya ha, jụkwa ibi ndụ irube isi nye ya.

* **21:3** 21:3 Nke a bụ anyanwụ, ọnwa na kpakpando † **21:5** 21:5 Nke a bụ anyanwụ, ọnwa na kpakpando
‡ **21:11** 21:11 Nke a bụ aha ozuzu e ji mara ndị niile bi n'ala Kenan tupu ndị Izrel abịa buso ha agha ma merie ha. § **21:21** 21:21 Nkp 2:12-13; 1Ez 11:33

23 Ndị na-ejere Amọn ozi gbara izu megide ya, ha gburu eze n'ime ụlọeze ya.
24 Mgbe ahụ, ndị ala ahụ gburu ndị niile ahụ gbara izu megide eze Amọn. Ha mere
Josaya nwa ya nwoke eze n'ọnọdụ ya.
25 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Amọn na ihe ndị o mere, ọ bụ
na e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ihe mere n'oge ndị eze Juda? 26 E liri ya n'ili nke
aka ya, dị n'ogige Ụza. Josaya nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

# 22

*Akwụkwọ iwu a chọtara*

1 Afọ asatọ ka Josaya gbara mgbe ọ malitere ịbụ eze Juda. Iri afọ atọ na otu ka ọ
chịrị na Jerusalem. Aha nne ya bụ Jedida, nwa Adaya onye Bozkat. 2 O mere ihe ziri
ezi n'anya ONYENWE ANYỊ, gbasookwa ụzọ niile nke nna nna ya Devid kpamkpam, o
sighị n'ụzọ a wezuga onwe ya gaa n'aka nri maọbụ n'aka ekpe.
3 N'afọ nke iri na asatọ nke ọchịchị ya, eze Josaya, zigara ode akwụkwọ bụ Shefan
nwa Azalaya, onye bụkwa nwa nwa Meshulam, ka ọ gaa n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ.
Ọ sịrị ya, 4 "Gakwuru Hilkaya onyeisi nchụaja, sị ya, gụkọta ego nke e webatara
n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, bụ nke ndị na-eche ọnụ ụzọ nakọtara site n'aka ndị
mmadụ. 5 Gwa ha ka ha nyefee ya n'aka ndị ikom ahọpụtara maka ilekọta ọrụ
n'ụlọnsọ ahụ. Ka ndị ikom a kwụọ ndị ọrụ na-arụzi ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ ụgwọ ọrụ,
6 ya bụ, inye ya ndị ọkpọ ǹtu, ndị na-ewu ụlọ, na ndị na-edo nkume ụlọ. Ha jirikwa
ego ahụ zụta osisi na nkume a wara awa, maka i ji dozie ụlọnsọ ahụ. 7 Ọ dịghị mkpa
ka ha gụzie otu ha si mefuo ego nke e nyefere ha n'aka, n'ihi na ọrụ ha egosila na
ha kwesiri ntụkwasị obi."
8 Hilkaya onyeisi nchụaja, sịrị Shefan ode akwụkwọ, "Achọtala m Akwụkwọ Iwu*
n'ime ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ." O nyere ya Shefan, onye nke gụkwara ya. 9 Mgbe
ahụ, Shefan, bụ ode akwụkwọ, bịakwutere eze, gwa ya sị, "Ndị ozi gị enyefela ego
niile nke dị n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ n'aka ndị ọrụ na n'aka ndị nlekọta nọ n'ụlọnsọ
Onyenwe anyị." 10 Mgbe ahụ, Shefan bụ ode akwụkwọ, gwara eze sị, "O nwere
akwụkwọ Hilkaya, onye nchụaja nyere m." Shefan gụpụtara ihe dị n'akwụkwọ a
n'ihu eze.
11 Mgbe eze nụrụ okwu niile dị n'ime Akwụkwọ Iwu ahụ, ọ dọwara uwe ya.† 12 O
nyere Hilkaya bụ onyeisi nchụaja, Ahikam nwa Shefan, Akboa nwa Mikaya, Shefan
ode akwụkwọ na Asaya, bụ onye ọrụ eze, iwu, sị ha, 13 "Gaanụ jụta ONYENWE ANYỊ
ase, n'isi m na n'isi ndị m, na Juda niile, banyere ihe niile e dere n'akwụkwọ a nke
a chọtara. N'ihi na ọnụma ONYENWE ANYỊ dị ukwuu bụ nke na-ere ọkụ megide anyị,
n'ihi na ndị bu anyị ụzọ erubeghị isi n'okwu nke akwụkwọ iwu a, ha agbasoghị ihe
niile e dere n'ime ya banyere anyị."
14 Hilkaya onye nchụaja, Ahikam, Akboa, Shefan na Asaya, jekwuuru Hulda, bụ
onye amụma nwanyị. Onye bụ nwunye Shalum, nwa Tikva, nwa Hahas, ọ bụ onye
na-elekọta uwe. Hulda na-ebi na mpaghara Jerusalem e wuru ọhụrụ.
15 Ọ sịrị ha, "Otu a ka ONYENWE ANYỊ bụ Chineke nke Izrel kwuru: Gwanụ nwoke
ahụ ziri unu ka unu bịakwutem, sị, 16 'Otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Ana m aga
iweta mbibi ga-adakwasị ebe a na ndị niile bi n'ime ya, dịka ihe niile e dere n'ime
akwụkwọ nke eze Juda gụrụ, si dị. 17 N'ihi na ha ajụla m, gbakụta m azụ, chụọ aja
nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye chi ndị ọzọ, kpasuo m iwe site na arụsị niile nke aka ha
mepụtara. Iwe m ga-adị ọkụ megide ebe a, ọ gaghị akwụsịkwa.' 18 Gwanụ eze Juda,
onye ahụ zitere unu ịjụta ase site n'ọnụ ONYENWE ANYỊ sị ya, 'Ihe ndị a ka ONYENWE

* **22:8** 22:8 Akwụkwọ Iwu a, nke a chọtara bụ akwụkwọ Diuteronomi, Dit 31:24-26; 2Ih 34:14 Nchọpụta akwụkwọ a, gosiri n'ụzọ pụtara ìhè oke nnupu isi dị n'ala Izrel megide iwu Chineke n'oge eze Manase na-achị. † **22:11** 22:11 N'oge ochie, ndị mmadụ na-adọwa uwe n'ihi obi mwute

anyị, Chineke Izrel na-ekwu banyere okwu ndị ahụ ị nụrụ. 19 N'ihi na o wutere gị
n'obi, na i wedakwara onwe gị n'ala n'ihu Chineke, mgbe ị nụrụ ihe m kwuru megide
ebe a na ndị bi n'ime ya, na ha ga-abụ ihe a bụrụ ọnụ, na ihe tọgbọrọ n'efu, n'ihi na
i dọwara uwe gị, bekwaa akwa n'ihu m, mụ onwe m anụkwala, otu a ka Onyenwe
anyị kwupụtara. 20 Ya mere, aga m achịkọta gị nye nna nna gị ha, a ga-eli gị n'udo.
Anya gị agaghị ahụ mbibi nke m ga-eme ka ọ bịakwasị ebe a.' "
Ha laghachiri inye eze ọsịsa ya.

# 23

*Ọgbụgba ndụ eze na ndị Juda*

1 Mgbe ahụ, eze zigara ozi kpọkọta ndị okenye Juda na Jerusalem. 2 Ọ gara n'ụlọnsọ
ukwu Onyenwe anyị, ya na ndị ikom Juda niile, ndị niile bi na Jerusalem, na ndị
nchụaja, na ndị amụma niile, na ndị mmadụ niile, site n'onye nta ruo na onye ukwu.
Ọ gụpụtara na ntị onye ọbụla okwu niile si n'akwụkwọ ọgbụgba ndụ ahụ, bụ nke
achọtara n'ime ụlọnsọ Onyenwe anyị. 3 Eze guzoro n'akụkụ ogidi, kwee nkwa n'ihu
Onyenwe anyị, ịgbaso Onyenwe anyị, na iji obi ya niile, na mkpụrụobi ya niile, debe
ihe niile o nyere n'iwu, n'ihe ama ya niile na ụkpụrụ ya niile. O si otu a mee ka okwu
niile nke ọgbụgba ndụ ahụ e dere n'akwụkwọ guzosie ike. Mgbe ahụ, ndị mmadụ
niile kwekwara nkwa idebe ọgbụgba ndụ ahụ.
4 Eze nyere Hilkaya onyeisi nchụaja na ndị nchụaja na-esote n'ọkwa, na ndị na-eche
ọnụ ụzọ mbata, iwu ka ha site n'ụlọnsọ Onyenwe anyị kwapụtasịa ngwongwo niile e
mere nye Baal, na Ashera, na usuu ihe niile nke mbara eluigwe.* O sunyere ha niile
ọkụ n'azụ Jerusalem, n'ọhịa dị na Ndagwurugwu Kidrọn, buru ntụ ha bulaa Betel.†
5 Ọ chụdara ndị nchụaja arụsị ndị ahụ niile, bụ ndị eze Juda họpụtara isure ihe na-
esi isi ụtọ n'elu ebe dị elu nke obodo Juda nakwa ebe dị ọkụ. N'ihi na ndị nchụaja
ndị a achụọla aja, surekwaa ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n'ebe ịchụ aja dị n'elu ugwu
niile dị n'obodo dị iche iche na Juda, nakwa ndị dị gburugburu Jerusalem. Ha bụ
ndị surere ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye Baal, na anyanwụ, ọnwa na kpakpando,
nyekwa usuu niile nke mbara eluigwe. 6 O sikwa n'ụlọnsọ Onyenwe anyị bupụ ogidi
chi Ashera,‡ wezuga ya n'azụ Jerusalem, na Ndagwurugwu Kidrọn. Ebe ahụ ka ọ
nọ suo ya ọkụ, supịa ya ka ọ ghọọ ntụ, fesaa ya n'ebe a na-eli ndị mmadụ efu. 7 Ọ
kwadakwara ụlọ obibi ụmụ ndị ikom na-agba akwụna dị nọ n'ụlọnsọ Onyenwe anyị.
N'ebe ndị inyom na-anọ na-akpara Ashera akwa.
8 O mere ka ndị nchụaja niile site n'obodo Juda niile bịa, o merụkwara ebe ịchụ
aja niile nke dị elu, site na Geba ruo Bịasheba, ebe ndị nchụaja ndị a nọrọ suree ihe
nsure ọkụ na-esi isi ụtọ. Ọ kwatụrụ ọnụ ụzọ ama nke dị n'ebe ọnụ ụzọ ama Joshua,
onye bụ gọvanọ obodo, nke dị n'akụkụ aka ekpe nke ọnụ ụzọ ama obodo. 9 Ma e
kweghị ka ndị nchụaja ahụ jee ozi n'ụlọnsọ Onyenwe anyị dị na Jerusalem, ma o
nyere ha ike iso ndị nchụaja ndị ọzọ rie achịcha a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee.
10 Josaya merụrụ Tofet, laa ya n'iyi. Tofet bụ ebe ịchụ aja dị na Ndagwurugwu nke
Ben Hinom. O mere nke a igbochi mmadụ ọbụla iji nwa ya nwoke, maọbụ nwa ya
nwanyị chụọrọ chi Molek aja nsure ọkụ. 11 O sitere n'ọnụ ụzọ ụlọnsọ ukwu Onyenwe
anyị wepụ ịnyịnya ndị ahụ ndị eze Juda doro nsọ nye anyanwụ. Ịnyịnya ndị a dị
n'ogige ụlọnsọ Onyenwe anyị n'ebe dị nso n'ụlọ onyeozi aha ya bụ Netan-Melek.
Josaya kpọrọ ụgbọ agha ndị a niile e doro nsọ nye anyanwụ ọkụ.

* **23:4** 23:4 Nke a bụ anyanwụ, ọnwa na kpakpando † **23:4** 23:4 Betel bụ ebe Ụlọ Chineke dị n'oge ochie, ma ọtụtụ ndị eze Izrel jiri ya mere ebe ha na-efe arụsị ha. Jen 28:19; 1Ez 12:25-29 ‡ **23:6** 23:6 Ashera bụ chi ndị Kenan. N'oge Hezekaya na-achị Juda, o gbuturu ogidi a, ma Manase wughachiri ya n'oge nke ya dị ka eze. 2Ez 18:4; 2Ez 21:3-5

12 Josaya kwadara ebe ịchụ aja niile nke ndị eze Juda wukwasịrị n’elu ụlọeze,
n’elu elu ụlọ Ehaz. Ọ kwadakwara ebe ịchụ aja niile nke Manase wuru n’ime ogige
abụọ nke ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, kporo ha kpofuo n’ime Ndagwurugwu Kidrọn.
13 Eze merụkwara ebe ịchụ aja niile dị n’akụkụ ọwụwa anyanwụ obodo Jerusalem
n’akụkụ ndịda nke Ugwu Mbibi, nke Solomọn eze Izrel wuru nye chi Ashtọret, ihe
arụ ndị Saịdọn, na chi Kemosh, ihe arụ ndị Moab, na chi Molek, ihe arụ ụmụ Amọn.
14 Josaya kwadakwara ogidi nkume niile, gbutuo ihe arụsị Ashera niile, werekwa
ọkpụkpụ ndị mmadụ wụsa n’elu ala ahụ niile.
15 Josaya kwadakwara ogidi niile dị na Betel, nke Jeroboam nwa Nebat wuru mgbe
o dubara ndị Izrel na mmehie. Ọ kwadara ebe ịchụ aja dị n’ebe ahụ, kụjisie nkume
e doro n’ebe ahụ, gwerie ha dịka ntụ. Ọ kpọkwara arụsị Ashera ọkụ. 16 Josaya
legharịkwara anya gburugburu hụ ọtụtụ ili dị n’elu ugwu. O ziri ndị ohu ya ka
ha gaa chịpụtasịa ọkpụkpụ dị n’ili ahụ niile, kpọọ ha ọkụ n’elu ebe ịchụ aja imerụ
ya, dịka okwu Onyenwe anyị si dị, nke onye nke Chineke kwupụtara mgbe o buru
amụma banyere ihe ndị a.
17 Josaya jụrụ ndị guzo n’ebe ahụ ajụjụ sị, “Ọ bụ ili onye bụ nke a?”
Ndị ikom obodo ahụ zara sị, “Ọ bụ ili onye nke Chineke ahụ si Juda bịa buo amụma
megide ebe ịchụ aja Betel. O buru amụma na ihe ndị a ị na-eme ebe ịchụ aja a ga-
emezu.”
18 Mgbe ahụ, Josaya zara sị ha, “Hapụnụ ya ka o guzoro onwe ya. Ka nwoke ọbụla
gharakwa ịchịpụta ọkpụkpụ ya.” Ha hapụrụ ọkpụkpụ ya, hapụkwa ọkpụkpụ onye
amụma ahụ si Sameria bịa.
19 Dịka o mere na Betel, otu a ka Josaya wepụrụ ma merụkwaa ebe ịchụ aja niile dị
n’ebe niile dị elu nke ndị eze Izrel wuru n’obodo niile nke Sameria, bụ ebe ịchụ aja
kpasuru Onyenwe anyị iwe. 20 O gburu ndị nchụaja chi ndị a niile n’elu ebe ịchụ aja
ha, suo ọkpụkpụ ha ọkụ n’elu ebe ịchụ aja ha. Mgbe o mesịrị ihe ndị a, ọ laghachiri
na Jerusalem.
21 Eze nyere ndị Juda niile iwu sị ha, “Meerenụ Onyenwe anyị Chineke unu
Mmemme Ngabiga, dịka e dere ya n’akwụkwọ ọgbụgba ndụ a.” 22 O nwebeghị mgbe
e mere ụdị Mmemme Ngabiga dịka nke a n’oge ọbụla, site n’ụbọchị ndị ikpe bụ
ndị duru Izrel maọbụ n’ụbọchị ndị eze Izrel na eze niile chịrị Juda, ọ dịghị nke yiri
Mmemme Ngabiga a. 23 Ma ọ bụ n’afọ nke iri na asatọ nke ọchịchị eze Josaya, n’ime
Jerusalem ka a nọ mee Mmemme Ngabiga a nye Onyenwe anyị.
24 Ọzọkwa, Josaya gara n’ihu kpochapụ ndị niile na-ajụta mmụọ ọjọọ ase, na ndị
dibịa afa, na arụsị§ ezinaụlọ dị iche iche, na arụsị a pịrị apị, na ihe arụ niile nke a
hụrụ n’ime Juda na Jerusalem niile. O mere nke a ka e mezuo ihe niile e dere n’ime
akwụkwọ ahụ Hilkaya onye nchụaja chọtara n’ụlọ Onyenwe anyị. 25 Ọ dịghị eze ọzọ
n’ime ndị niile buru ya ụzọ chịa nke dịka Josaya, onye chigharịkwutere Onyenwe
anyị. Onye ji obi ya niile, na mmụọ ya niile na ike ya niile debe iwu niile e nyere
Mosis.* Ọ dịkwaghị eze ọzọ dịka ya, onye biliri mgbe ọ nwụsịrị.
26 Ma ihe ndị a emeghị ka iwe ọkụ Onyenwe anyị na-ewe megide Juda dajụọ, bụ
iwe a kpasuru ya n’ihi ihe ọjọọ niile nke Manase mere. 27 Ya mere, Onyenwe anyị
sịrị, “Aga m ekpochapụ Juda niile site n’ihu m, dịka m si kpochapụ Izrel niile. Aga m
ajụkwa obodo ahụ m họpụtara, bụ Jerusalem, jụkwa ụlọnsọ ukwu a nke m kwuru
banyere ya sị, ‘N’ime ya ka Aha m ga-adị.’ ”
28 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n’oge ọchịchị Josaya na ihe niile o mere, ọ bụ
na e deghị ha n’akwụkwọ akụkọ ihe mere n’oge ndị eze Juda?
29 N’oge Josaya bụ eze, Fero Neko, eze Ijipt, gbagoro gaa n’akụkụ osimiri Yufretis
inyere eze Asịrịa aka. Eze Josaya pụkwara izute ya n’agha, ma Neko zutere ya n’agha,

§ **23:24** 23:24 Ya bụ, chi * **23:25** 23:25 2Ez 18:5

gbuo ya na Megido. 30 Ndị na-ejere Josaya ozi sị na Megido buru ozu ya n'ime ụgbọ
agha bulata ya na Jerusalem, lie ya n'ili nke aka ya. Ndị ala ahụ kpọọrọ Jehoahaz
nwa nwoke Josaya, tee ya mmanụ, mee ya eze n'ọnọdụ nna ya.

*Jehoahaz eze Juda*

31 Jehoahaz gbara iri afọ abụọ na atọ mgbe o bidoro ịchị, ma ọ chịrị na Jerusalem
ọnwa atọ. Aha nne ya bụ Hamutal, nwa Jeremaya onye Libna. 32 O mere ihe dị njọ
n'anya ONYENWE ANYỊ dịka ndị eze buru ya ụzọ. 33 Ma Fero Neko keere ya agbụ na
Ribla n'ala Hamat, ime ka ọ ghara ịchịkwa na Jerusalem. Neko kwagidere ndị Juda
ka ha tụọrọ ya ụtụ narị talenti ọlaọcha, na otu talenti ọlaedo. 34 Fero Neko mere
Eliakịm nwa nwoke Josaya, eze, n'ọnọdụ Josaya bụ nna ya. Ọ gụgharịrị aha Eliakịm
ka ọ bụrụ Jehoiakim. Ma o duuru Jehoahaz gaa Ijipt, ebe ọ nọ nwụọ. 35 Jehoiakim
kwụrụ Fero Neko ọlaọcha na ọlaedo ahụ ọ nara n'aka ya. Ka o nwee ike mee nke a,
o kere ụtụ n'ala ahụ, werekwa ike nara ndị ala ahụ ọlaọcha na ọlaedo, dịka mkpebi
ha si dị banyere ihe onye ahụ ga-akwụ.

*Jehoiakim eze Juda*

36 Jehoiakim gbara iri afọ abụọ na ise mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị afọ iri na
otu na Jerusalem. Aha nne ya bụ Zebida nwa Pedaya, onye Ruma. 37 O mere ihe dị
njọ n'anya ONYENWE ANYỊ, dịka ihe niile nna ya ha ndị bu ya ụzọ mere.

## 24

1 N'oge Jehoiakim na-achị, Nebukadneza eze Babilọn ji ike bata n'ala ya, mee ka
Jehoiakim ghọọ ohu ya afọ atọ. Ma o mesịrị tụgharịa megide Nebukadneza, nupukwa
isi n'okpuru ya. 2 ONYENWE ANYỊ zigara ndị na-apụnara mmadụ ihe site na Kaldịa,
Aram, Moab na ndị Amọn, ka ha ga bibie Juda. Ọ bụ n'usoro okwu ONYENWE ANYỊ
kpọsara site n'ọnụ ndị amụma ya. 3 N'ezie, ihe ndị a bịakwasịrị Juda dịka ONYENWE
ANYỊ si nye ya n'iwu, ka o si otu a kpochapụ ha site n'ihu ya n'ihi mmehie niile
Manase mere, na dịka ihe niile o mere si dị, 4 tinyere ọbara ndị aka ha dị ọcha nke ọ
wusiri. N'ihi na o mere ka ọbara ndị aka ha dị ọcha jupụta na Jerusalem. ONYENWE
ANYỊ ekwekwaghị agbaghara ajọ omume dị otu a.
5 Akụkọ ọzọ niile gbasara ọchịchị Jehoiakim na ihe niile o mere, e deghị ha
n'akwụkwọ akụkọ ihe e mere n'ụbọchị ndụ ndị eze Juda? 6 Jehoiakim sooro ndị
nna nna ya ha dina n'ọnwụ. Jehoiakin nwa ya ghọrọ eze ọhụrụ n'ọnọdụ ya.
7 Ma eze Ijipt esiteghị n'ala ya pụta ọzọ, n'ihi na eze Babilọn nọchiri oke ala ya
niile, site na mmiri iyi Ijipt ruo n'oke Osimiri Yufretis.

*Jehoiakin eze Juda*

8 Jehoiakin gbara afọ iri na asatọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị naanị ọnwa atọ
na Jerusalem. Aha nne ya bụ Nehushta, nwa Elnatan, onye Jerusalem. 9 O mere ihe
jọrọ njọ n'anya ONYENWE ANYỊ, dịka nna ya ha mere.
10 N'oge ọ bụ eze, ndịisi Nebukadneza, eze Babilọn bịara, gbaa Jerusalem
gburugburu ma nọchibido obodo ahụ n'agha. 11 Nebukadneza, eze Babilọn n'onwe
ya, bịara n'obodo ahụ mgbe ndị agha ya gbara ya gburugburu. 12 Jehoiakin, bụ eze
Juda, na nne ya na ndị ọrụ ya niile na ndịisi niile na ndịisi ozi ya niile were onwe ha
nyefee Nebukadneza n'aka.
N'afọ asatọ nke ọchịchị eze Babilọn ka ọ kpụụrụ Jehoiakin dịka onye mkpọrọ.
13 Ọ kwakọọrọ akụ niile dị n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, na ndị nke dị n'ụlọeze,
o gbukakwara ihe ọlaedo niile Solomọn eze Izrel tinyere n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE
ANYỊ buru ha bulaa Babilọn, ihe a niile mere dịka ONYENWE ANYỊ kwururịị. 14 O
bupụkwara puku ndị ikom iri site na Jerusalem bulaa ha Babilọn dịka ndị a dọtara

n'agha. Ndị so n'ime ndị a bụ ndịisi niile na ndị agha niile. O bupụkwara ndị na-
akwa ǹka niile na ndị ọkpụ ụzụ. Naanị ndị na-enweghị ike, na ndị ogbenye ka ọ
hapụrụ n'ala ahụ.
15 Nebukadneza kpụụrụ Jehoiakin ka ọ ga biri na Babilọn. O sikwa na Jerusalem
kpọrọ nne eze, na ndị nwunye eze, ndị ozi ya, na ndị niile a ma ama n'ala ahụ gaa
Babilọn. 16 Eze Babilọn bupụkwara ndị ikom niile dị ike ma tozukwaa ibu agha, ndị
ọnụọgụgụ ha dị puku asaa, tinyere otu puku ndị ọrụ aka, na ndị ọrụ ǹka, bulaa ha
Babilọn. 17 O mere nwanne nna Jehoiakin, bụ Matanaya, eze n'ọnọdụ ya. Ọ gụgharịrị
ya aha, kpọọ ya Zedekaya.

### *Zedekaya eze Juda*

18 Iri afọ abụọ na otu ka Zedekaya gbara mgbe ọ malitere ịbụ eze n'ime Jerusalem.
Aha nne ya bụ Hamutal, nwa Jeremaya onye Libna. Ọ chịrị dịka eze na Jerusalem
afọ iri na otu. 19 Ma o mere ihe jọrọ njọ n'anya ONYENWE ANYỊ dịka Jehoiakim mere.*
20 Ọ bụ n'ihi iwe ONYENWE ANYỊ ka ihe ndị a niile ji bịakwasị Jerusalem na Juda.
N'ikpeazụ, o sitere n'ihu ya chụpụ ha.

### *Ọdịda Jerusalem*

N'oge a, Zedekaya nupuru isi n'okpuru eze Babilọn.†

## 25

1 N'afọ nke itoolu nke ọchịchị ya, n'ọnwa nke iri, n'ụbọchị nke iri, Nebukadneza,
eze Babilọn duuru ndị agha ya niile bịa ibuso Jerusalem agha. Ọ mara ụlọ ikwu n'azụ
obodo ahụ, wukwaa mgbidi nnọchibido gburugburu obodo ahụ. 2 Anọchibidoro
obodo a n'agha ruo n'afọ nke iri na otu nke ọchịchị eze Zedekaya.
3 N'ụbọchị nke itoolu nke ọnwa anọ n'afọ ahụ, oke ụnwụ siri ike dị n'obodo ahụ
ruo na ọ dịkwaghị nri dị nke ndị mmadụ ga-eri. 4 Mgbe ahụ, e tipuru oghere n'aja
mgbidi obodo ahụ, ndị agha niile ji abalị gbapụ site n'ọnụ ụzọ ama nke dị n'etiti
mgbidi abụọ n'akụkụ ubi eze a gbara ogige, n'agbanyeghị na ndị Kaldịa* nọ obodo
ahụ gburugburu. Ha gbapụrụ chee ihu n'ụzọ Araba.† 5 Ma ndị agha Kaldịa chụsoro
eze n'azụ, chụkwute ya na mbara ala Jeriko. Ndị agha ya niile sitere n'ebe ọ nọ
gbasasịa, hapụ ya, 6 e jide ya.
Ha kpụgara ya eze Babilọn, n'obodo Ribla, ebe a nọ maa ya ikpe. 7 Ha gburu ụmụ
ndị ikom Zedekaya n'ihu ya. Ha ghụpụrụ anya ya abụọ, jiri ụdọ bronz kee ya agbụ,
kpọrọ ya gaa Babilọn.
8 N'ụbọchị nke asaa, n'ọnwa nke ise nke afọ iri na itoolu nke ọchịchị eze
Nebukadneza na Babilọn, Nebuzaradan, ọchịagha ndị nche, onyeisi n'ọrụ eze
Babilọn, bịarutere Jerusalem. 9 O sunyere ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ ọkụ, ụlọeze na
ụlọ niile dị na Jerusalem, ụlọ ọbụla bụ nke dị mkpa ka o surere ọkụ 10 Ndị agha
Kaldịa niile bụ ndị nọ n'okpuru onyeisi ndị nche eze kwaturu mgbidi niile gbara
Jerusalem gburugburu. 11 Nebuzaradan, ọchịagha ndị nche eze, buuru ụfọdụ mmadụ
ndị fọdụrụ n'obodo, na ndị niile fọdụkwara, ha na ndị ọzọ ahụ ji aka ha gbakwuru
eze bulaa ha Babilọn, ka ha ga biri n'ala ọzọ. 12 Ma ọchịagha ahụ, hapụrụ ụfọdụ na
ndị ahụ bụ nnọọ ndị ogbenye ọnụ ntụ, ka ha na-elekọta ubi vaịnị niile a gbara ogige
na ala ubi niile.
13 Ma ndị Babilọn tipịara ogidi bronz niile, ha na ihe ndọkwasị niile na oke osimiri
bronz ndị ahụ dị n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, buru bronz ndị ahụ bulaa Babilọn. 14 Ha
chịkọọrọ ite niile, na shọvel niile, na ihe ịkpakepụ ọkụ, na ngaji ukwu niile na ngwa
bronz niile nke e ji eje ozi n'ime ụlọnsọ ahụ. 15 Ọchịagha ndị nche eze, chịrị ihe

* 24:19 24:19 2Ih 36:12 † 24:20 24:20 2Ih 36:13; Izk 17:15. * 25:4 25:4 Maọbụ, Babilọn † 25:4 25:4 Ya bụ ndagwurugwu Jọdan

ịgụnye ọkụ niile, efere ịkwọsa mmiri niile, ya bụ ihe ndị ahụ niile e ji ọlaedo a nụchara anụcha maọbụ ọlaọcha kpụọ.

16 O bukwara bronz sitere n’ogidi abụọ ahụ, oke Osimiri ahụ na ihe ndọkwasị ya niile, nke eze bụ Solomọn mere n’ihi ụlọnsọ ONYENWE ANYị. Ha karịrị ihe a ga-eji ihe ọtụtụ tụọ. 17 Ị dị elu nke otu n’ime ogidi abụọ ndị a bụ mita asatọ na ụma‡ n’ọtụtụ. Isi bronz nke e kpukwasịrị n’otu ogidi dị otu mita na ọkara§ n’ịdị elu. Ọ bụkwa ihe yiri mkpụrụ pomegranet e ji bronz kpaa, ka e ji chọọ ya mma gburugburu ya niile. Ogidi nke abụọ nwekwara pomegranet, yiri ibe ya.

18 Ọchịagha ndị nche eze ahụ, kpụụrụ Seraya, onyeisi nchụaja, na Zefanaya, bụ onye nchụaja na-esote ya n’ọkwa, na ndị nche atọ na-eche ọnụ ụzọ mbata. 19 O sitere n’etiti ndị ahụ fọdụrụ n’obodo kpụụrụ otu onyeisi na-ahụ maka ndị agha, na ndị ikom ise na-enye eze ndụmọdụ. O kpukwaara ode akwụkwọ, onye isi ọrụ na-ahụ maka ịmanye ndị ga-aga agha, jidekwa iri ndị ikom isii ndị ọrụ mmanye, ndị a hụrụ n’ime obodo ahụ. 20 Nebuzaradan, bụ ọchịagha kpụụrụ ha niile dute ha n’ihu eze Babilọn na Ribla. 21 N’ebe ahụ, na Ribla dị n’obodo Hamat, ka eze nọ nye iwu ka e gbuo ha niile.

Ya mere, a dọọrọ Juda n’agha, mee ka ọ ga biri n’ala ọzọ.

22 Emesịa, Nebukadneza eze Babilọn họpụtara Gedaliya nwa Ahikam, nwa nwa Shefan, ka ọ bụrụ onye na-elekọta ndị fọdụrụ na Juda, 23 Mgbe ndịisi agha na ndị ikom ha nụrụ na eze Babilọn emeela Gedaliya onye na-achị ala ahụ, ha bịakwutere Gedaliya na Mizpa. Ndị bịakwutere ya bụ, Ishmel nwa Netanaya, Johanan nwa Kariya, Seraya nwa Tanhumet, onye Netofa, na Jaazanaya nwa onye Maaka, na ndị ikom ha. 24 Gedaliya ṅụọrọ ha iyi, ṅụkwaara ndị ikom ha, sị, “Unu atụla egwu n’ihi ndịisi ọrụ Babilọn. Birinụ n’ala a, feekwa eze Babilọn, ihe ga-agara unu nke ọma.”

25 Ma n’ọnwa nke asaa, Ishmel nwa Netanaya, nwa Elishama, onye ya onwe ya si n’agbụrụ eze, duuru mmadụ iri bịa Mizpa, tigbuo Gedaliya, na ndị ikom Juda na ndị Kaldịa niile, bụ ndị ya na ha nọ. 26 Nke a mere ka ndị Juda niile, site n’onye nta ruo n’onye ukwu, ha na ndịisi agha ndị ahụ biliri gaa Ijipt, n’ihi na ha tụrụ ndị Kaldịa egwu.

### *Jehoiakin enwere onwe ya*

27 N’afọ nke iri atọ na asaa, site na mgbe e mere ka Jehoiakin eze Juda gaa biri n’ala ọzọ, n’afọ Awel-Maduk* ghọrọ eze Babilọn, o mere ka Jehoiakin si n’ụlọ mkpọrọ pụta nwere onwe ya. Ọ bụ n’ụbọchị nke iri abụọ na asaa nke ọnwa iri na abụọ ka o mere nke a. 28 Ọ gwara ya okwu ọma, nye ya oche ọnọdụ ya dị elu karịa nke ndị eze ndị ọzọ ya na ha nọ na Babilọn. 29 N’ihi nke a, Jehoiakin gbanwere uwe mkpọrọ ya, wezuga ya. Sitekwa n’oge ahụ, tutu ruo mgbe ọ nwụrụ, ya na eze na-erikọ nri. 30 Site n’ụbọchị ruo n’ụbọchị, eze Babilọn na-enye Jehoiakin oke ihe ruru ya kwa ụbọchị niile nke ọ dị ndụ.

‡ **25:17** 25:17 Nzọ ụkwụ iri abụọ na asaa § **25:17** 25:17 Nzọ ụkwụ anọ na ọkara * **25:27** 25:27 Ọ bụ ya bụkwa Evil-Merodak.

# 1 Ihe e mere

*Usoro ọmụmụ site n’Adam ruo Ebraham*

*Ruokwa ụmụ Noa*

1 Adam, Set, Enọsh,
2 Kenan, Mahalalel, Jared,
3 Enọk, Metusela, Lamek,
na Noa.

4 Ụmụ Noa bụ Shem, Ham, na Jafet.

*Ụmụ Jafet*

5 Ụmụ ndị ikom Jafet bụ:
Goma, Magog, Madai, Javan, Tubal, Meshek na Tiras.
6 Ụmụ ndị ikom Goma bụ
Ashkenaz, na Rifat, na Togama.
7 Ụmụ ndị ikom Javan bụ:
Elisha, Tashish, Kitim, na Rodanim.

*Ụmụ Ham*

8 Ụmụ ndị ikom Ham bụ:
Kush, Ijipt, Put na Kenan.
9 Ụmụ ndị ikom Kush bụ:
Seba, Havila, Sabta, Raama, na Sabteka.
Ụmụ ndị ikom Raama bụ:
Sheba na Dedan.
10 Kush bụ nna Nimrọd,
onye mesịrị bụrụ dike n’agha n’ụwa.
11 Ijipt bụ nna
ndị Lud, ndị Anam, ndị Lehab, ndị Naftuh, 12 ndị Patrus, na ndị Kasluh (onye ndị Filistia sitere na ya) na ndị Kafto.
13 Kenan bụ nna
Saịdọn, ọkpara ya, na ndị Het, 14 ndị Jebus, ndị Amọrait, ndị Gigash, 15 ndị Hiv, ndị Aka, ndị Sini, 16 ndị Avad, ndị Zema na ndị Hamat.

*Ụmụ Shem*

17 Ụmụ ndị ikom Shem bụ
Elam, Ashua, Apakshad, Lud na Aram.
Ụmụ Aram bụ
Uz, Hul, Geta na Meshek.
18 Apakshad bụ nna Shela;
Shela bụrụ nna Eba.
19 Eba mụtara ụmụ ndị ikom abụọ:
Aha otu n’ime ha bụ Peleg,* n’ihi na ọ bụ n’oge ndụ ya ka e kewara ụwa; aha nwanne ya nwoke bụ Joktan.
20 Joktan bụ nna
Almodad, Shelef, Hazamavet, Jera, 21 Hadoram, Ụzal, Dikla, 22 Obal, Abimael, Sheba, 23 Ọfịa, Havila na Jobab. Ndị a niile bụ ụmụ ndị ikom Joktan.

* **1:19** 1:19 Peleg pụtara Nkewa, n’ihi na mgbe a mụrụ Peleg bụ mgbe e mere ka asụsụ ụwa niile kewasịa.

24 Shem, Apakshad, Shela,
25 Eba, Peleg, Reu,
26 Serug, Nahọ, Tera
27 na Ebram, ya bụ Ebraham.

### *Ụmụ ndị ikom Ebraham*

28 Ụmụ Ebraham mụrụ bụ Aịzik na Ishmel.

### *Ụmụ ndị ikom Hega*

29 Ndị a bụ ụmụ ụmụ ha:
Nebaiot (ọkpara Ishmel), Keda, Adbel, Mibsam, 30 Mishma, Duma, Masa, Hadad,
Tema, 31 Jetua, Nafish na Kedema.
Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Ishmel.

### *Ụmụ ndị ikom Ketura*

32 Ketura, iko nwanyị Ebraham, mụtaara ya
Zimran, Jokshan, Medan, Midian, Ishbak na Shua.
Jokshan mụtara ndị a:
Sheba na Dedan.
33 Ụmụ ndị ikom Midian bụ:
Efaa, Efe, Hanok, Abida na Eldaa.
Ndị a niile bụ ụmụ ụmụ Ketura.

### *Ụmụ ndị ikom Sera*

34 Ebraham mụtara Aịzik.
Ụmụ ndị ikom Aịzik bụ
Ịsọ na Izrel.

### *Ụmụ ndị ikom Ịsọ*

35 Ịsọ mụrụ ndị a:
Elifaz, Reuel, Jeush, Jalam na Kora.
36 Ụmụ Elifaz bụ
Teman, Ọmaa, Zefi, Gatam na Kenaz,
na Amalek, site na Timna.
37 Ụmụ ndị ikom Reuel bụ:
Nahat, Zera, Shama, na Miza.

### *Ndị Edọm*

38 Ụmụ ndị ikom Sia bụ
Lotan, Shobal, Zibiọn, Ana, Dishọn, Eza na Dishan.
39 Ụmụ ndị ikom Lotan bụ
Hori na Homam. Timna bụkwa nwanne nwanyị Lotan.
40 Ụmụ ndị ikom Shobal bụ
Alvan,† Manahat, Ebal, Shefo na Onam.
Zibiọn mụrụ
Aịa na Ana.
41 Ana mụrụ
Dishọn.
Ụmụ Dishọn bụ
Hamran, na Eshban, na Itran, na Keran.
42 Ụmụ ndị ikom Eza bụ
Bilhan, na Zaavan, na Akan.
Ụmụ ndị ikom Dishan bụ
Uz na Aran.

---

† **1:40** 1:40 Maọbụ, Alian, dịka ọtụtụ akwụkwọ ndị Hibru na-ede ya. Jen 36:23.

*Ndị eze Edọm*

43 Ndị a bụ ndị eze chịrị n'Edọm tupu ndị Izrel enwee eze nke ha.
Bela nwa Beoa, onye aha obodo ya bụ Dinhaba.
44 Mgbe Bela nwụrụ Jobab nwa Zera, onye Bozra nọchiri ya dịka eze.
45 Mgbe Jobab nwụrụ, Husham onye si n'ala Teman nọchiri ya dịka eze.
46 Mgbe Husham nwụrụ, Hadad nwa Bedad, onye meriri ndị agha Midia n'ọzara
Moab, ghọrọ eze. Isi obodo ya bụ Avit.
47 Mgbe Hadad nwụrụ, Samla onye Masrika nọchiri ya dịka eze.
48 Mgbe Samla nwụrụ, Shaul onye sitere na Rehobọt dị n'akụkụ osimiri‡ nọchiri ya
dịka eze.
49 Mgbe Shaul nwụrụ, Baal-Hanan nwa Akboa, nọchiri ya dịka eze.
50 Mgbe Baal-Hanan nwụrụ, Hadad nọchiri ya dịka eze. Akpọrọ isi obodo ya Pai.
Aha nwunye ya bụ Mehetabel, nwa Matred, nwa nwa Mezahab. 51 Hadad mesịrị
nwụọkwa.

Ndịisi ọnụmara n'Edọm bụ
Timna, Alva, Jetet, 52 Oholibama, Elaa, Pinon, 53 Kenaz, Teman, Mibza, 54 Magdiel
na Iram.
Ndị a bụ ndịisi ọnụmara n'Edọm.

# 2

*Ụmụ ndị ikom Izrel*

1 Izrel mụrụ ụmụ ndị ikom ndị a: Ruben, Simiọn, Livayị, Juda, Isaka, na
Zebụlọn, 2 Dan, Josef, Benjamin, Naftalị, Gad na Asha.

*Ndị Juda*

*Ruokwa ụmụ Hezrọn*

3 Juda mụtara ụmụ ndị ikom atọ site na nwunye ya Bat-shua, onye Kenan.
Aha ha bụ Ịa, Onan na Shela.
Ma Ịa ọkpara Juda bụ nnọọ mmadụ ọjọọ n'ihu ONYENWE ANYỊ, n'ihi ya, ONYENWE
ANYỊ gburu ya.
4 Juda mụtakwara ụmụ nwoke abụọ ọzọ, Perez na Zera, site na Tama nwunye
nwa ya nwoke.
Ụmụ ndị nwoke niile Juda dị ise.

5 Ụmụ ndị ikom Perez bụ,
Hezrọn na Hamul.
6 Zera mụrụ:
Zimri, na Etan, na Heman, na Kalkol, na Dara. Ha dị ndị ikom ise n'ọnụọgụgụ.
7 Ekan nwa Kami,
bụ onye ahụ tinyere ndị Izrel na nsogbu, site n'ihe o mere nke gbasara ihe e doro
nsọ.
8 Etan mụrụ
Azaraya.
9 Hezrọn mụtara
Jerameel, Ram na Kaleb.

*Ụmụ Ram nwa Hezrọn*

10 Ram mụrụ Aminadab,
Aminadab amụọ Nashọn onyendu a maara ama na Juda.
11 Nashọn mụrụ Salma,

‡ **1:48** 1:48 Eleghị anya ọ bụ osimiri Yufretis

Salma amụọ Boaz.
12 Boaz amụta Obed,
Obed amụọ Jesi.

13 Nwa nwoke mbụ Jesi mụrụ bụ
Eliab; nke abụọ bụ Abinadab,
nke atọ bụ Shimea. 14 Nke anọ bụ Netanel,
nke ise bụ Radai, 15 nke isii Ozem,
nke asaa Devid.
16 Ọ mụkwara ụmụ nwanyị abụọ site n'aka nwunye ya,
ndị aha ha bụ Zeruaya na Abigel. Zeruaya mụrụ Abishai, na Joab, na Asahel.
17 Abigel, nwunye Jeta onye Ishmel mụrụ Amasa.

### *Kaleb nwa Hezrọn*

18 Kaleb nwa Hezrọn lụrụ ụmụ nwanyị abụọ, Azuba na Jeriọt. Ọ mụrụ ụmụ ndị ikom ndị a
Jesha, Shobab na Adọn.
19 Mgbe Azuba nwụrụ, Kaleb lụrụ nwunye ọzọ. Aha ya bụ Efrat, onye mụtaara ya Hua.
20 Hua mụrụ Uri, Uri mụtara Bezalel.

21 Mgbe Hezrọn gbara iri afọ isii, ọ lụrụ ada Makia onye mụtaara ya Segub. Makia bụ nna Gilead.
22 Segub mụrụ Jaịa, onye chịrị iri obodo abụọ na atọ na Gilead.
23 Ma Geshua na Aram dọtara obodo Jaịa n'agha, dọtakwa Kenat n'agha, ya na iri obodo nta isii ndị ọzọ gbara ya gburugburu.
Ndị a niile bụ ụmụ Makia nna Gilead.
24 Mgbe Hezrọn nwụrụ n'obodo Kaleb Efrata, Abija nwunye Hezrọn mụtaara ya Ashua, onye bụ nna Tekoa.

### *Jerameel nwa Hezrọn*

25 Jerameel ọkpara Hezrọn mụtara Ram, onye bụ ọkpara ya,
mụọkwa Buna, na Oren, na Ozem, na Ahija. 26 Nwunye Jerameel nke abụọ, aha ya bụ Atara, mụtara Onam.
27 Ram ọkpara Jerameel mụtara ụmụ ndị ikom ndị a:
Maaz, na Jamin, na Eka.
28 Ụmụ Onam mụrụ bụ
Shamai, na Jada.
Shamai mụkwara
Nadab, na Abishua. 29 Abishua na nwunye ya Abihail mụrụ Aban, na Molid.
30 Ụmụ Nadab mụrụ bụ
Seled, na Apaim. Seled nwụrụ na-amụtaghị nwa ọbụla.
31 Ma Apaim mụtara Ishi.
Ishi mụrụ Sheshan, Sheshan amụtakwa Alai.
32 Jada nwanne Shamai mụtara ụmụ ndị ikom abụọ,
Jeta na Jonatan. Jeta amụtaghị nwa ọbụla,
33 ma Jonatan mụtara ụmụ ndị ikom abụọ:
Pelet na Zaza.
Ndị a bụ ụmụ Jerameel.

34 Sheshan mụtara ọtụtụ ụmụ nwanyị, ma o nweghị nwa nwoke.

O nwere otu ohu bụ onye Ijipt, aha ya bụ Jaha. 35 O weere ada ya nwanyị nye
odibo ya bụ Jaha, ka ọ bụrụ nwunye ya. Ọ mụtara ya otu nwa nwoke aha ya
bụ Atai.
36 Atai mụrụ Netan,
Netan mụrụ Zabad,
37 Zabad amụọ Eflal.
Nwa Eflal bụ Obed,
38 ma Obed mụrụ Jehu.
Jehu amụọ Azaraya.
39 Azaraya bụ nna Helez,
Helez mụrụ Eleasa.
40 Eleasa mụrụ Sismai,
Sismai amụọ Shalum.
41 Shalum bụ nna Jekamaya,
ebe Jekamaya mụrụ Elishama.

*Ikwu Kaleb*

42 Ụmụ ndị ikom Kaleb nwanne Jerameel bụ
Mesha onye bụ ọkpara ya, nna Zif,
onye mụrụ Maresha nna Hebrọn.
43 Hebrọn mụrụ ndị a:
Kora, Tapụọa, Rekem na Shema.
44 Shema mụrụ Raham,
onye bụ nna Jokean.
Rekem mụrụ Shamai.
45 Ọkpara Shamai bụ Maon,
onye mụrụ Bet Zoa.
46 Efaa, iko nwanyị Kaleb,
mụtaara ya Haran, Moza na Gazez.
Haran mụtakwara nwa ọ kpọrọ aha ya Gazez.
47 Jadia mụtara ndị ikom ndị a:
Regem, Jotam, Gesham, Pelet, Efaa na Shaaf.
48 Maaka, iko nwanyị ọzọ Kaleb nwere mụtaara ya ndị a:
Sheba na Tiahana,
49 ọ mụtakwara Shaaf, onye bụ nna Madmanna,
Sheva nna Makbena, tinyere Gibea.
Aha nwa nwanyị Kaleb mụtara bụ Aksa.
50 Ndị a bụ ụmụ Kaleb.

Ụmụ Hua, ọkpara Efrata mụrụ bụ,
Shobal, nna Kiriat Jearim, 51 Salma nna Betlehem, na Haref, nna Bet-Gadea.
52 Ụmụ Shobal nna Kiriat Jearim mụrụ bụ
Haroe, onye mụrụ ọkara ndị ikwu Menuhot. 53 Ya mụtakwara ndị ikwu Kiriat
Jearim, ndị Itra, ndị Put, ndị Shumat na ndị Mishra. N'ime ndị a ka ndị Zorat
na ndị Eshtaol si pụta.
54 Salma mụtara ikwu ndị a:
Betlehem, ndị Netofa, ndị Atrot Bet Joab, ụfọdụ ndị Manaha na ndị Zoa. 55 Ụfọdụ
ha bụ ikwu ndị ode akwụkwọ, ndị bi n'obodo Jabez: ndị Tirait, na ndị Shimea,
na ndị Suka. Ndị a niile bụ ndị Ken, ndị sitere n'agbụrụ Hamat, nna ndị ikwu
Rekab.

# 3

*Ụmụ ndị ikom Devid*

1 Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Devid, ndị amụụrụ ya mgbe ọ nọ na Hebrọn.

Ọkpara ya bụ Amnọn, nke Ahinoam bụ nwanyị Jezril mụrụ.
Nwa ya nke abụọ bụ Daniel, onye nne ya bụ Abigel onye Kamel.
2 Nke atọ bụ Absalọm, nwa Maaka, nwa nwanyị Talmai, bụ eze Geshua.
Nke anọ bụ Adonaija, nwa nwoke Hagit
3 Nke ise bụ Shefataya, nwa Abital.
Nke isii bụ Itream, nke nwunye ya bụ Egla mụrụ.

4 Ụmụ ndị ikom isii ndị a ka a mụtaara Devid na Hebrọn, ebe ọ nọ chịa dịka eze afọ asaa na ọnwa isii.

Devid chịrị na Jerusalem iri afọ atọ na atọ. 5 Ndị a bụkwa ụmụ a mụụrụ ya n'ebe ahụ:

Shamua,* Shobab, Netan na Solomọn. Mmadụ anọ ndị a bụ ndị Batsheba nwa nwanyị Amiel mụrụ.
6 Ndị ọzọ bụkwa Ibha, Elishua,† Elifelet, 7 Noga, Nefeg, Jafia, 8 Elishama, Eliada na Elifelet. Ha niile dị itoolu n'ọnụọgụgụ.

9 Ndị a niile bụ ụmụ ndị ikom Devid, na-agụnyeghị ụmụ ndị ikom ndị iko ya nwanyị mụtara. Tama bụ nwanne ha nwanyị.

*Ndị eze Juda*

10 Ndị a bụ ụmụ Solomọn: Rehoboam,
na Abija,
na Asa,
na Jehoshafat,
11 na Joram,‡
na Ahazaya,
na Joash,
12 na Amazaya,
na Azaraya,
na Jotam,
13 na Ehaz,
na Hezekaya,
na Manase,
14 na Amọn,
na Josaya.
15 Ụmụ ndị ikom Josaya:
Johanan nwa mbụ ya,
na Jehoiakim nwa ya nke abụọ,
na Zedekaya nwa ya nke atọ,
na Shalum nwa ya nke anọ.
16 Ụmụ Jehoiakim bụ ndị a,
Jehoiakin nwa ya,

---

* **3:5** 3:5 Shimea bụ ụzọ ọzọ e si akpọ Shamua † **3:6** 3:6 Elishua ma ọ bụkwanụ Elishama. ‡ **3:11** 3:11 Joram ma ọ bụkwanụ Jehoram

na Zedekaya.

*Ụmụ ụmụ Jehoiakin*

17 Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Jehoiakin, eze ahụ a dọtara n'agha:
Shealtiel, nwa ya, 18 Malkiram, Pedaya, Shenaza, Jekamaya, Hoshama na Nedabaya.
19 Ụmụ ndị ikom Pedaya bụ
Zerubabel na Shimei.
Ụmụ ndị ikom Zerubabel bụ ndị a:
Meshulam na Hananaya. Shelomit bụ nwanne ha nwanyị. 20 E nwekwara ndị ikom ise ọzọ aha ha bụ Hashuba, Ohel, Berekaya, Hasadaya na Jushab-Hesed.
21 Ụmụ Hananaya mụrụ bụ
Pelataya na Jeshaya. Jeshaya mụrụ Refaya; Refaya mụrụ Anan na Ọbadaya, Ọbadaya mụrụ Shekanaya.
22 Ụmụ Shekanaya bụ ndị a:
Shemaya na ụmụ ya ndị ikom: Hatush, Igal, Bariya, Nearaya na Shafat. Ha dị isii n'ọnụọgụgụ.
23 Ụmụ Nearaya bụ ndị a,
Elioenai, Hezekaya na Azrikam. Ha dị atọ n'ọnụọgụgụ.
24 Ndị Elioenai mụrụ bụ ndị a:
Hodavaya, Eliashib, Pelaya, Akub, Johanan, Delaya na Ananị. Ha niile dị asaa n'ọnụọgụgụ.

# 4

*Ụmụ ụmụ Juda*

1 Ndị ikwu Juda bụ
Perez, Hezrọn, Kami, Hua na Shobal.
2 Shobal mụrụ Reaya, onye bụ nna Jahat. Jahat bụ nna Ahumai na Lahad, ndị a bụ ndị ikwu Zorat.
3 Ndị a bụ ụmụ Etam:
Jezril, na Ishma, na Idbash, aha nwanne ha nwanyị bụ Hazelelponi. 4 Penuel bụ nna Gedoa, Eza bụ nna Husha.
Ndị a bụ ụmụ Hua, bụ ọkpara Efrata, nna Betlehem.
5 Ashua nna Tekoa lụrụ ndị nwunye abụọ: Hela na Naara.
6 Naara mụtaara ya Ahuzam, na Hefa, na Temeni, na Haahashitari. Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Naara.
7 Ụmụ ndị ikom Hela mụtara bụ
Zeret, Zoha, Etnan 8 na Koz, onye bụ nna Anub na Hazobeba, nakwa nke ikwu Ahahel, nwa Harum.

9 Jabez bụ nwoke a na-asọpụrụ karịa ụmụnne ya ndị ikom niile. Nne ya kpọrọ aha
ya Jabez, sị, "A mụrụ m ya n'ihe mgbu." 10 Jabez tikuru Chineke Izrel mkpu akwa
sị ya, "Biko gọzie m, mee ka oke ala m saa mbara. Kwere ka aka gị dịkwasị m, ma
wezuga m site n'ihe mmerụ ahụ ọbụla, ka m si otu a gbanarị ihe mgbu." Chineke
zara ekpere ya meere ya ihe ọ rịọrọ.

11 Kelub, nwanne nwoke Shua mụrụ Mehia, nna Eshton, 12 Eshton mụrụ Bet-Raafa, na Pasea, na Tihina. Tihina mụrụ Ir Nahash. Ndị a niile bụ ndị ikwu Reka.

13 Ụmụ ndị ikom Kenaz mụtara bụ,
Otniel na Seraya.

Otniel amụta
Hatat na Meonotai. 14 Meonotai bụ nna Ofra.
Seraya bụ nna Joab,
Joab bụ nna Ge Harashim. A kpọrọ ha Ge Harashim n'ihi na ha bụ ndị ǹka.
15 Kaleb nwa Jefune mụrụ
Iru, Elaa na Naam.
Ma Elaa mụrụ
Kenaz.
16 Ụmụ ndị ikom Jehalelel mụrụ bụ ndị a:
Zif, Zifa, Tiria na Asarel.
17 Ụmụ Ezra bụ
Jeta, Mered, Efaa na Jalon.
Otu n'ime ndị nwunye Mered lụrụ mụtara Miriam, Shamai na Ishba, bụ nna Eshtemoa. 18 Ndị a bụkwa ụmụ ndị ikom Bitaya, bụ nwa nwanyị Fero, nke Mered lụrụ.
Nwunye ya nke si n'ebo Juda mụrụ Jered bụ nna Gedoa, Heba nna Soko na Jekutiel nna Zanoa.
19 Ụmụ ndị ikom nwunye Hodia, nwanne nwanyị Naham,
bụ nna Keila onye Gam na Eshtemoa onye Maaka.
20 Ụmụ ndị ikom Shimon mụrụ bụ
Amnọn, Rina, Ben-Hanan na Tilon.
Ishi mụrụ
Zohet na Ben-Zohet.
21 Ụmụ Shela nwa Juda mụrụ bụ
Ịa, nna Leka, Laada, nna Maresha, na ikwu ndị ọrụ ịkpa ezi akwa ọcha nọ na Bet Ashbea
22 na Jokim, ndị ikom Koziba, na Joash na Saraf, ndị chịrị na Moab na Jashubi Lehem. Aha ndị a sitere n'akwụkwọ akụkọ mgbe ochie. 23 Ha bụ ndị ọkpụ ite, ndị biri na Netaim ya na Gedera. Ha biri n'ebe ahụ n'ihi ịrụrụ eze ọrụ.

### *Ụmụ ụmụ Simiọn*

24 Simiọn mụrụ
Nemuel, Jamin, Jarib, Zera na Shaul.
25 Shaul mụrụ Shalum nna Mibsam. Mibsam bụkwa nna Mishma.
26 Ụmụ Mishma mụrụ bụ
Hamuel nwa ya, Zakua nwa ya na Shimei nwa ya.

27 Shimei mụrụ ndị ikom iri na isii, na ndị inyom isii. Ụmụnne ya ndị ikom enweghị
ọtụtụ ụmụ dịka ya onwe ya. N'ihi ya, ndị ikwu ya adịghị ukwu n'ọnụọgụgụ dịka
ndị ọzọ na Juda. 28 Ha biri na Bịasheba, Molada, Haza Shual, 29 Bilha, Ezem, Tolad,
30 Betuel, Homa, Ziklag, 31 Bet-Makabot, Haza-Susim, Bet-Biri na Shaaraim. Ọ bụ ha bi
n'obodo ndị a niile tutu ruo n'oge ọchịchị Devid. 32 Obodo gbara ha gburugburu bụ
Etam, Ain, Rimọn, Token na Ashan, obodo ise, 33 tinyere obodo nta niile gbara obodo
ndị a gburugburu ruo na Baalat. Ndị a bụ ebe obibi ha.

Ha nwekwara akwụkwọ usoro ọmụmụ.

34 Meshobab, Jamlek,
Josha nwa Amazaya, 35 Juel,
Jehu nwa Joshibaya, nwa Seraya, nwa Asiel,
36 nakwa Elioenai, Jaakoba, Jeshohaya,
Asaya, Adiel, Jesimiel na Benaya,

[37] na Ziza nwa Shifi, nwa Alon, nwa Jedaya, nwa Shimri, nwa Shemaya.

[38] Ndị ikom ndị a e depụtara aha ha bụ ndị ndu ikwu ha.

Ezinaụlọ ha mụbara nke ukwuu, [39] ha gakwara na mpụta Gedoa n'akụkụ ọwụwa
anyanwụ ndagwurugwu ịchọrọ igwe anụ ụlọ ha ebe ịta nri. [40] Ha chọtara ebe ịta
ahịhịa anụ ụlọ mara mma, nke sara mbara, nke dị jụụ, bụrụkwa ebe nsogbu na-
adịghị. Ụfọdụ n'ime ụmụ Ham ebiela n'ebe ahụ na mbụ.
[41] Ndị ikom ndị a e dere aha ha n'akwụkwọ usoro ọmụmụ bịara n'oge Hezekaya na-
achị dịka eze Juda. Ha busoro ụmụ Ham agha n'ebe obibi ha, busokwa ndị Meunim
bi n'ebe ahụ agha, bibie ha kpamkpam, dịka ọ dị ruo taa. Emesịa ha bichiri ebe ahụ
n'ihi na ebe ịta ahịhịa nke igwe anụ ụlọ ha n'ebe ahụ. [42] Ọzọkwa, narị ndị ikom ise
n'ime ndị a si n'ebo Simiọn, ndị ndu ha bụ Pelataya, Nearaya, Refaya na Uziel, ụmụ
Ishi busoro obodo ugwu ugwu Sia agha. [43] Ha gburu ndị Amalek fọdụrụ ndụ n'ebe
ahụ, bichie ala ahụ ruo taa.

# 5

*Ụmụ ụmụ Ruben*

[1] Ọkpara Izrel bụ Ruben. Ma n'ihi na ọ merụrụ ihe ndina nna ya site na
idinakwuru nwunye nna ya, a napụrụ ya ọnọdụ ọkpara ya were ya nye
ụmụ nwanne ya Josef mụtara. N'ihi ya, akwụkwọ akụkọ usoro ọmụmụ
ụmụ Izrel akpọghị Ruben ọkpara. [2] Ọ bụ ezie na Juda dị ike karịa ụmụnna
ya, bụrụkwa eziokwu na onyendu si na Juda pụta, maọbụ Josef ka e nyere
oke ruuru ọkpara. [3] Ruben, ọkpara Izrel mụrụ ndị ikom ndị a:

Hanok, na Palu, na Hezrọn, na Kami.
[4] Juel mụrụ
Shemaya, nna Gog,
Gog mụrụ Shimei. [5] Shimei mụrụ Maịka,
Maịka amụọ Reaya. Reaya amụọ Baal.
[6] Baal mụrụ Beera, onye Tiglat-Pilesa eze ndị Asịrịa dọtara n'agha. Beera bụkwa onyendu ndị Ruben.
[7] Ndị ụmụnna ha dịka agbụrụ niile ha si dị, bụ ndị e depụtara aha ha dịka usoro ọmụmụ ha si dị;
Jeiel onyeisi, na Zekaraya, [8] na Bela nwa Azaz nwa Shema, nwa Juel.

Ha nwere ebe obibi ha site n'Aroea ruo n'ugwu Nebo, rukwaa Baal-Meon. [9] Ha bụ
ndị ọzụzụ atụrụ, nwekwa ọtụtụ igwe anụ ụlọ. Ọ bụkwa n'akụkụ ọwụwa anyanwụ,
n'ọnụ ọzara ruo n'osimiri Yufretis ka ha na-azụ ha, n'ihi na anụ ụlọ ha nwere bara
ụba na Gilead.
[10] N'oge Sọl bụ eze Izrel, ụmụ Ruben meriri ndị Haga n'agha, bichie ala ha niile dị
n'ọwụwa anyanwụ Gilead.

*Ụmụ ụmụ Gad*

[11] Ụmụ Gad bi n'akụkụ ha site na Bashan ruo Saleka.

[12] Juel bụ onyendu na Bashan, Shafam na-esote ya, ya na Janai na Shafat.
[13] Ụmụnna ha, ndị bụ ndị ndu ikwu asaa a bụ,
Maikel, na Meshulam, na Sheba, na Jorai, na Jakan, na Zia, na Eba.
[14] Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Abihail, nwa Huri, nwa Jaroa, nwa Gilead, nwa Maikel, nwa Jehishai, nwa Jado, nwa Buz.

15 Ahi nwa Abdiel, nwa Guni bụ onyeisi n’etiti ụmụnna ya.

16 Ndị Gad nwere ebe obibi na Gilead n’ime Bashan, na n’obodo nta niile gbara ya
gburugburu. Ha bikwa n’ebe ahịhịa anụ ụlọ na-ata jupụtara na Sharọn ruo n’ebe
oke ala ha kwụsịrị.
17 E denyere aha ndị a niile n’akwụkwọ usoro ọmụmụ n’oge Jotam bụ eze Juda, na
n’oge Jeroboam bụ eze Izrel.

18 Ndị Ruben na ndị Gad, na ọkara ebo Manase nwere iri puku mmadụ anọ na
anọ na narị asaa na iri isii (44,760) ndị jikeere ije agha, ndị dị ike, ndị a zụrụ iji ọta
na mma agha, na ụta ibu agha. 19 Ha busoro ndị Haga, na Jetua, na Nafish na ndị
Nodab agha. 20 E nyeere ha aka ibuso ha agha, Chineke nyefere ndị Haga na ndị niile
na-enyere ha aka n’aka ha, n’ihi na ha kpọkuru ya n’oge ọgụ ahụ. Ọ zara ekpere
ha n’ihi na ha tụkwasịrị ya obi. 21 Ha ji ike chịkọrọ anụ ụlọ ndị Haga, dị iri puku
ịnyịnya kamel ise, narị puku atụrụ abụọ na iri puku ise, puku ịnyịnya ibu abụọ. Ha
dọkpụkwara narị puku ndị mmadụ n’agha. 22 E gbukwara ọtụtụ ndị mmadụ n’ihi na
agha ahụ bụ nke Chineke lụrụ n’onwe ya. Ha bichiri ala ahụ tutu ruo mgbe a dọọrọ
Izrel niile n’agha.

*Ọkara ebo Manase*

23 Ọkara ebo Manase dị ukwuu n’ọnụọgụgụ; ha nwere ebe obibi ha site n’ala
Bashan ruo Baal-Hemon, ya bụ, ruo Senia, ugwu Hemon.
24 Ndịisi ikwu ha niile bụ ndị a: Efaa, Ishi, Eliel, Azriel, Jeremaya, Hodavaya na
Jadiel. Ndị a niile bụ dimkpa n’agha, ndị a ma ama na ndịisi ezinaụlọ. 25 Ma ha bụ
ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi nye Chineke nna nna ha. Kama ha merụrụ onwe ha
site n’ife chi niile nke ndị bi n’ala ahụ na mbụ, bụ ndị Chineke lara n’iyi n’ihu ha.
26 N’ihi nke a, Chineke nke Izrel kpaliri mmụọ Pul, bụ eze Asịrịa (ya bụ Tiglat-Pilesa*
eze ndị Asịrịa), ka o bilie megide ndị Ruben, ndị Gad na ọkara ebo Manase, dọta ha
n’agha, buru ha gaa Hala, na Hoboa, na Hara na osimiri Gozan, ebe ha nọ ruo taa.

# 6

*Ụmụ ụmụ Livayị*

1 Livayị mụrụ ndị a:
Geshọn, Kohat na Merari.
2 Kohat mụrụ
Amram, Izha, Hebrọn na Uziel.
3 Amram mụrụ
Erọn, Mosis na Miriam.
Erọn mụrụ
Nadab, Abihu, Elieza na Itama.
4 Elieza mụrụ Finehaz;
Finehaz abụrụ nna Abishua
5 Abishua bụ nna Buki,
Buki abụrụ nna Uzi.
6 Uzi mụrụ Zerahaya,
Zerahaya amụọ Meraiot.
7 Meraiot mụrụ Amaraya,
Amaraya amụọ Ahitub.
8 Ahitub mụrụ Zadọk,
Zadọk amụọ Ahimaaz.

* **5:26** 5:26 Tiglat-Pilesa bụkwa onye a na-akpọ Pul, hụ nke a n’akwụkwọ 2Ez 15:19

9 Ahimaaz mụrụ Azaraya,
Azaraya amụọ Johanan.
10 Johanan mụrụ Azaraya
ọ bụ ya bụ onye ahụ bụ onye nchụaja ụlọnsọ ukwu ahụ Solomọn wuru na Jerusalem.
11 Azaraya mụrụ Amaraya,
Amaraya amụọ Ahitub.
12 Ahitub mụrụ Zadọk,
Zadọk amụọ Shalum.
13 Shalum mụrụ Hilkaya,
Hilkaya amụọ Azaraya.
14 Azaraya mụrụ Seraya,
Seraya amụọ Jehozadak,
15 A dọtara Jehozadak n'agha mgbe ONYENWE ANYỊ mere ka Nebukadneza dọkpụrụ ndị Juda na Jerusalem n'agha.

16 Ụmụ ndị ikom Livayị bụ,
Geshọm, Kohat na Merari.
17 Geshọm mụrụ
Libni na Shimei.
18 Ụmụ Kohat bụ
Amram, Izha, Hebrọn, na Uziel.
19 Merari mụtara
Mahali na Mushi.

Ndị a bụ ikwu Livayị ndị e depụtara dịka aha nna ha si dị.
20 Ikwu Geshọm bụ
Libni, Jahat,
Zima, 21 Joa,
Ido, Zera
na Jeaterai.
22 Ikwu Kohat bụ
Aminadab, Kora,
Asịa, 23 Elkena,
Ebiasaf, Asịa,
24 Tahat, Uriel,
Ụzaya na Shaul.
25 Ụmụ ụmụ Elkena bụ
Amasai na Ahimot.
26 Ụmụ ụmụ Ahimot bụ
Elkena, Zofai, Nahat, 27 Eliab,
Jeroham, Elkena
na Samuel.
28 Ụmụ Samuel bụ
Juel, ọkpara ya,
na Abija nke abụọ.
29 Ụmụ ụmụ Merari bụ
Mahali, Libni,
Shimei, Ụza,
30 Shimea, Hagiya
na Asaya.

### *Ndị na-abụ abụ n'ụlọnsọ ukwu*

31 Ndị a bụ ndị ikom Devid họpụtara nye ọrụ ilekọta ndị ọbụ abụ n’ụlọ Onyenwe
anyị mgbe e bubatara igbe ọgbụgba ndụ n’ebe ahụ. 32 Ha jere ozi ịbụ abụ ha n’ihu
ụlọ ikwu, ya bụ, ụlọ nzute, tutu ruo mgbe Solomọn wuchara ụlọnsọ Onyenwe anyị
na Jerusalem. Ha jere ozi ha dịka usoro ije ozi ha si dị.

33 Ndị a bụ ndị ikom ahụ jere ozi, ha na ụmụ ha ndị ikom:

Site n’ikwu Kohat:
Heman, ọbụ abụ.
Ndị a bụ nna nna ya ochie: Juel, nwa Samuel,
34 nwa Elkena, nwa Jeroham,
nwa Eliel, nwa Toa,
35 nwa Zuf, nwa Elkena,
nwa Mahat, nwa Amasai,
36 nwa Elkena, nwa Juel,
nwa Azaraya, nwa Zefanaya,
37 nwa Tahat, nwa Asịa,
nwa Ebiasaf, nwa Kora,
38 nwa Izha, nwa Kohat,
nwa Livayị, nwa Izrel.
39 Asaf onye na-enyere Heman aka, na-eje ozi n’akụkụ aka nri ya.
Ndị bụ nna nna ya ochie bụ ndị a: Berekaya, nwa Shimea,
40 nwa Maikel, nwa Baaseya,
nwa Malkija, 41 nwa Etni,
nwa Zera, nwa Adaya,
42 nwa Etan, nwa Zima,
nwa Shimei, 43 nwa Jahat,
nwa Geshọm, nwa Livayị.
44 Onye ọzọ na-enyere Heman aka bụ Etan, onye ikwu Merari. Ọ na-anọ n’aka ekpe ya.
Ndị bụ nna nna ochie Etan bụ ndị a, Kishi, nwa Abdi,
nwa Maluk, 45 nwa Hashabaya,
nwa Amazaya, nwa Hilkaya,
46 nwa Amzi, nwa Bani,
nwa Shema, 47 nwa Mahali,
nwa Mushi, nwa Merari,
nwa Livayị.

48 Ụmụnna ha ndị Livayị ụfọdụ ka e tinyere n’ọrụ dị iche iche n’ụlọ ikwu, bụ ụlọ
Chineke. 49 Ma Erọn na ụmụ ụmụ ya bụ ndị chụrụ aja onyinye n’elu ebe ịchụ aja
nke aja nsure ọkụ, nakwa n’elu ebe ịchụ aja ihe na-esi isi ụtọ, nke metụtara ọrụ ije
ozi niile n’ime Ebe ahụ Kachasị Nsọ, na-ekpuchikwara Izrel mmehie niile ha, n’usoro
dịka ihe niile si dị nke Mosis ohu Chineke nyere n’iwu.

50 Ụmụ ụmụ Erọn bụ
Elieza, na Finehaz,
na Abishua, 51 na Buki,
na Uzi, na Zerahaya,
52 na Meraiot, na Amaraya,
na Ahitub, 53 na Zadọk,
na Ahimaaz.

54 Ndị a bụ ala na obodo dị iche iche ụmụ Erọn ketara, nke e nyere ikwu
Kohat, ụmụ ụmụ Erọn, n'ihi na ọ bụ ha ka e bu ụzọ kenye oke site n'ife
nza.
55 Hebrọn, n'ime Juda, ya na ala ịta nri anụ ụlọ niile dị ya gburugburu. 56 Ma ala
ubi na obodo nta niile gbara Hebrọn gburugburu ka e nyere Kaleb nwa Jefune.
57 Ya mere e nyere ụmụ ụmụ Erọn Hebrọn (obodo mgbaba), na Libna, na Jatịa,
na Eshtemoa, 58 na Hilen, na Debịa, 59 na Ashan, na Juta, na Bet-Shemesh, tinyere
ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha.
60 Site n'ebo Benjamin e nyere ha obodo Gibiọn, Geba, Alemet, na Anatot, tinyere
ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha.
Obodo ndị a, nke e kere n'etiti ndị ikwu Kohat, dị iri na otu n'ọnụọgụgụ.

61 E fere nza tupu e nye ndị fọdụrụ n'ime ikwu Kohat obodo iri site n'ala ọkara ebo
Manase.
62 E fekwara nza nye agbụrụ niile dị n'ikwu Geshọm obodo iri na atọ na Bashan,
site n'ala ebo Isaka, na Asha, na Naftalị, na agbụrụ niile dị n'ikwu Manase.
63 E fekwara nza nye ikwu Merari obodo iri na abụọ site n'ala ebo Ruben, na Gad,
na Zebụlọn.

64 Otu a ka ndị Izrel si nye ndị Livayị obodo ndị a na ebe ịta nri nke anụ ụlọ
dị.

65 Site n'ebo Juda, na Simiọn, na Benjamin ka e si kenye ha obodo ndị ahụ a kpọrọ
aha ha na mbụ.

66 E sitere n'ala ndị ebo Ifrem kenye ụfọdụ n'ime ndị agbụrụ Kohat obodo
ụfọdụ.
67 N'ala ugwu ugwu Ifrem e kenyere ha Shekem (obodo mgbaba), na Gaza, 68 na
Jokmeam, na Bet-Horon, 69 na Aijalon, na, Gat Rimọn, tinyere ebe ịta nri nke anụ
ụlọ gbara ya gburugburu.
70 Site n'ọkara ebo Manase, ndị Izrel nyere ndị ikwu Kohat fọdụrụ obodo ndị a:
Anea na Bileam, tinyere ala ebe ịta nri anụ ụlọ ha.

71 Ndị Geshọm natara obodo ndị a:
Site n'agbụrụ ọkara ebo Manase ha natara Golan, nke dị na Bashan, na Ashtarọt,
tinyere ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha.
72 Ebo Isaka nyere ha Kedesh, Daberat, 73 Ramọt na Anem, tinyere ebe ịta nri anụ
ụlọ niile dị ha gburugburu.
74 Ebo Asha nyere ha Mashal, Abdon, 75 Hukọk na Rehob, tinyere ebe ịta nri anụ
ụlọ niile dị ha gburugburu.
76 Ebo Naftalị nyere ha Kedesh n'ime Galili, Hamọn na Kiriatem, tinyere ebe ịta nri
nke anụ ụlọ ha.

77 Ndị ebo Zebụlọn nyere ụmụ Merari ndị Livayị fọdụrụ ala ndị a:
Jokneam, Kata, Rimọn na Taboa, tinyere ebe ịta nri anụ ụlọ ha.
78 Ma n'ofe osimiri Jọdan, n'ọwụwa anyanwụ obodo Jeriko, ndị ebo Ruben nyere
ha obodo Beza dị n'ọzara, nyekwa ha Jahaz, 79 Kedemot na Mefaat, tinyere ebe
ịta nri nke anụ ụlọ ha niile.
80 Ndị ebo Gad nyere ha Ramọt nke Gilead, Mahanaim, 81 Heshbọn na Jeza, tinyere
ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha niile.

# 7

*Ụmụ ụmụ Isaka*

1 Isaka mụrụ ụmụ anọ:
Tola, na Pua, na Jashub, na Shịmrọn.
2 Ụmụ Tola ndị ghọrọ ndịisi ezi bụ ndị a:
Uzi, na Refaya, na Jeriel, na Jamai, na Ibsam, na Samuel. N'oge Devid bụ eze, ọnụọgụgụ ndị agha sitere n'etiti ha dị iri puku abụọ na abụọ, na narị isii. (22,600).
3 Uzi mụrụ
Izrahaya.
Izrahaya amụta ndị a:
Maikel, Ọbadaya, Juel na Ishaya. Ha niile bụkwa ndịisi ikwu ha. 4 Ndị bụ ndị
agha n'etiti ụmụ ụmụ ha n'oge Devid bụ eze ruru iri puku atọ na isii (36,000), n'ihi na ha niile lụrụ ọtụtụ ndị inyom, mụọ ọtụtụ ụmụ.
5 Ụmụnne ha bụ ndị na-alụ agha bụ ndị agbụrụ Isaka dị iri puku asatọ na asaa (87,000) n'ọnụọgụgụ, dịka e depụtara aha ha n'akwụkwọ usoro ọmụmụ.

*Ụmụ ụmụ Benjamin*

6 Benjamin mụrụ ndị ikom atọ:
Bela, Beka na Jediael,
7 Bela mụrụ ụmụ ise:
Ezbon, Uzi, Uziel, Jerimot na Iri. Ha niile bụ ndịisi ezi. Ọnụọgụgụ ndị agha ha dị iri puku abụọ na abụọ na iri atọ na anọ (22,034). E dekwara aha ndị a niile n'akwụkwọ usoro ọmụmụ.
8 Ụmụ ndị ikom Beka mụrụ bụ
Zemira, Joash, Elieza, Elioenai, Omri, Jeremot, Abija, Anatot na Alemet.
9 Akwụkwọ ebe e dere usoro ọmụmụ ha depụtara aha ndịisi ezinaụlọ, na iri puku ndị agha abụọ na narị abụọ (20,200).
10 Jediael mụrụ otu nwa nwoke:
aha ya bụ Bilhan.
Ụmụ Bilhan bụ
Jeush, Benjamin, Ehud, Kenaana, Zetan, Tashish na Ahishaha. 11 Ụmụ ndị ikom
Jediael ndị a bụ ndịisi ezinaụlọ. E nwere n'etiti ha ndị agha ọnụọgụgụ ha dị puku iri na asaa na narị abụọ (17,200), ndị nọ na njikere ibu agha.
12 Ndị Shupim na ndị Hupim bụ ụmụ ụmụ Er ebe ndị Hushim bụ ụmụ ụmụ Aha.

*Ụmụ ụmụ Naftalị*

13 Ụmụ Naftalị mụtara bụ
Jaziel, Guni, Jeza na Shalum bụ ụmụ Bilha.

*Ụmụ ụmụ Manase*

14 Ụmụ Manase:
Asriel, onye iko ya nwanyị bụ onye Aram mụtara, na Makia. Makia bụ nna
Gilead. 15 Makia sitere n'etiti ndị Hupim na Shupim lụọ nwunye. Aha nwanne ya nwanyị bụ Maaka. Otu onye ọzọ si n'agbụrụ Manase bụ Zelofehad, onye
mụtara naanị ụmụ ndị inyom. 16 Maaka nwunye Makia mụtara otu nwa nwoke
ọ gụrụ Peresh. Aha nwanne ya bụ Sheresh, onye mụtara Ụlam na Rakem.
17 Nwa nwoke Ụlam mụtara
bụ Bedan.
Ndị a bụ ụmụ Gilead, nwa nwa Makia, nwa Manase.
18 Hamoleket, nwanne nwanyị Makia mụrụ Ishod, Abieza na Mahla.
19 Shemida mụrụ ụmụ ikom ndị a:

Ahian, Shekem, Liiki na Aniam.

*Ụmụ ụmụ Ifrem*

20 Ụmụ Ifrem bụ
Shutela, Bered,
Tahat, Eleada,
Tahat 21 na Zabad nwa ya,
na Shutela nwa ya.
Eza na Elead bụ ndị gara ịchịkọrọ anụ ụlọ ndị Gat, ndị ikom nwe obodo ahụ
jidere ha gbuo ha n'ebe ahụ. 22 Ifrem nna ha ruru ụjụ nke ukwuu n'ihi ọnwụ
ha, ma ụmụnna ya kasịrị ya obi. 23 Mgbe nwunye ya mụrụ nwa nwoke ọzọ,
ọ kpọrọ aha ya Beriya, nke pụtara, Ihe ndaba ọjọọ, n'ihi ọnwụ Elead na Eza.
24 Aha nwa Ifrem nke nwanyị bụ Sheera. Sheera bụ onye wuru akụkụ ugwu
na ndịda Bet-Horon, wuokwa Uzen-Sheera.
25 Ndị a bụkwa ụmụ Ifrem: Refa, nna Reshef,
onye bụ nna Tela. Tela bụ nna Tahan,
26 onye bụ nna Ladan, Ladan bụ nna Amihud,
onye bụ nna Elishama. 27 Elishama bụ nna Nun,
onye bụ nna Joshua.
28 Betel na obodo ndị ọzọ gbara ya gburugburu, ya bụ Naaran, n'akụkụ
ọwụwa anyanwụ, na Gaza na obodo nta ya, ndị dị n'ọdịda anyanwụ, na
Shekem, na obodo ndị ọzọ, tutu ruo Aya, na obodo nta ya niile, so n'ala ha.
29 Ụmụ Manase, nwa Josef, nwa nwa Izrel, bikwa n'obodo ndị a dị n'oke
ala ha: Bet-Shan, na Teanak, na Megido, na Doa, tinyere obodo nta ha niile.

*Ụmụ ụmụ Asha*

30 Asha mụrụ ndị a:
Imna, Ishva, Ishvi na Beriya. Nwa ya nwanyị bụ Sera.
31 Beriya amụta ndị a:
Heba na Malkiel, onye bụ nna Biazait.
32 Heba bụ onye mụrụ Jaflet, Shoma na Hotam. Nwanne ha nwanyị bụ Shua.
33 Ụmụ Jaflet mụrụ bụ
Pasak, Bimhal na Ashvat.
Ndị a bụ ụmụ Jaflet.
34 Shoma amụọ
Ahi, Roga, Huba na Aram.
35 Nwanne ya nwoke Helem mụrụ
Zofa, Imana, Shelesh na Amal.
36 Zofa amụta ndị a:
Sua, Hanefa, Shual, Beri, Imra, 37 Beza, Hod, Shama, Shilsha, Itran na Beera.
38 Jeta mụtara
Jefune, Pispa na Ara.
39 Ụla amụta
Ara, Haniel na Rizia.
40 Ụmụ ụmụ Asha ndị a niile bụ ndịisi ezi, ndị a sara anya na mmiri họpụta,
ndị bụ dimkpa n'agha, ndị ndu a ma ama. Ọnụọgụgụ ndị ha tozuru ije
agha dị puku iri abụọ na isii (26,000), ndị e depụtara aha ha n'akwụkwọ
usoro ọmụmụ.

# 8

*Usoro ọmụmụ Sọl*

1 Benjamin mụtara ụmụ ndị ikom ise. Aha ha n'usoro dịka e si mụọ ha bụ:

Bela nke mbụ,
nke abụọ Ashbel, nke atọ Ahara,
2 nke anọ Noha, na nke ise Rafa.
3 Ndị ikom Bela mụrụ bụ
Aada, Gera, Abihud, 4 Abishua, Neeman, Ahoa, 5 Gera, Shefufan na Huram.
6 Ụmụ Ehud ndị bụ ndịisi ezinaụlọ na Geba, ndị bụkwa ndị e si na Geba chụpụ mee ka ha gaa biri na Manahat bụ ndị a:
7 Neeman, Ahija na Gera, onye chụpụrụ ha na onye bụkwa nna Ụza na Ahihud.
8 A mụtara Shaharaim ụmụ ndị ikom na Moab mgbe ọ gbachara ndị nwunye ya
abụọ bụ Hushim na Baara alụkwaghị m. 9 Nwunye ya Hodesh mụtara Jobab,
Zibịa, Mesha, Malkam, 10 Jeuz, Sakia na Miama. Ndị a bụ ụmụ ya ndị ikom, ndị
bụkwa ndịisi ezi. 11 Tupu ọ chụpụ nwunye ya Hushim, ọ mụtaara ya Abaịtub,
na Elpaal.
12 Elpaal mụrụ ndị a:
Eba, Misham, Shemed (onye wuru obodo Ono na Lod, na obodo nta gbara ha
gburugburu). 13 Ụmụ ya ndị ọzọ bụ Beriya, na Shema, ndị bụ ndịisi ezinaụlọ
ndị bi n’Aijalon. Ọ bụ ha chụpụrụ ndị Gat site n’obodo ahụ.
14 Beriya mụrụ Ahio, Shashak, Jeremot, 15 Zebadaya, Arad, Eda, 16 Maikel, Ishpa na
Joha, ndị a bụ ụmụ ndị ikom Beriya.
17 Zebadaya, Meshulam, Hizki, Heba, 18 Ishmerai, Izlaya na Jobab bụ ụmụ Elpaal.
19 Jakim, Zikri, Zabdi, 20 Elienai, Ziletai, Eliel, 21 Adaya, Beraya na Shimrat bụ ụmụ
Shimei.
22 Ishpan, Eba, Eliel, 23 Abdon, Zikri, Hanan, 24 Hananaya, Elam, Antotija, 25 Ifdeya
na Penuel bụ ụmụ ndị ikom Shashak.
26 Jeroham mụrụ Shamsherai, Sheharaya, Atalaya, 27 Jaareshaya, Ịlaịja na Zikri bụ
ụmụ ndị ikom Jeroham.
28 Ndị a niile bụ ndịisi ezi, ndị ndu, ndị bi na Jerusalem, ndị e depụtara aha ha n’akwụkwọ usoro ọmụmụ.

29 Jeiel nna Gibiọn biri na Gibiọn.
Aha nwunye ya bụ Maaka. 30 Ọ mụrụ Abdon, ọkpara ya, Zua, Kish, Baal, Nea,
Nadab, 31 Gedoa, Ahio na Zeka 32 na Miklot, onye bụ nna Shimea. Ha onwe ha
bikwa ndị ụmụnna ha nso na Jerusalem.
33 Nea mụrụ Kish, nna Sọl. Ma Sọl mụrụ Jonatan, Malkishua, Abinadab na Esh-Baal.
34 Jonatan mụrụ nwa nwoke
a na-akpọ Merib-Baal, nna Maịka.
35 Ụmụ Maịka mụrụ bụ,
Piton, Melek, Tarea na Ehaz.
36 Ehaz amụọ Jehoada nna Alemet, Azmavet na Zimri. Zimri mụrụ Moza. 37 Moza
mụrụ Binea, nna Rafa, nna Eleasa, nna Azel.
38 Azel mụrụ ụmụ ndị ikom isii ndị a:
Azrikam, Bokeru, Ishmel, Shearaya, Ọbadaya na Hanan. Ndị a bụ ụmụ ndị ikom Azel.
39 Eshek nwanne nwoke Azel mụrụ ndị ikom atọ:
Ụlam, ọkpara ya na Jeush, na Elifelet. 40 Ụmụ Ụlam bụ dike na dimkpa ndị a
zụrụ ịgba ụta. Ọnụọgụgụ ụmụ ha na ụmụ ụmụ ha dị otu narị na iri mmadụ
ise, 150.
Ha niile sikwa n’ebo Benjamin.

# 9

[1] E dere usoro ọmụmụ ụmụ Izrel niile n'ime akwụkwọ ndị eze Izrel na Juda.
Emesịa, a dọọrọ ha n'agha buru ha gaa Babilọn n'ihi ekwesighị ntụkwasị obi ha.

*Ndị Jerusalem*

[2] N'ime ndị a, ndị bụ ụzọ lọta bịa birikwa n'ihe onwunwe ha n'obodo nke aka ha bụ ụfọdụ ndị Izrel, na ndị nchụaja, na ndị Livayị, na ndị na-eje ozi n'ụlọnsọ ukwu.

[3] Ndị si n'ebo Juda, na Benjamin, na Ifrem na Manase lọta bịa biri na Jerusalem bụ ndị a:
[4] Utai nwa Amihud, nwa Omri, nwa Imri, nwa Bani, onye ikwu Perez, nwa Juda.
[5] N'ezinaụlọ Shilo:
Asaya nwa mbụ ya na ụmụ ya ndị ikom.
[6] Ụmụ Zera,
Jeuel so n'ime ha.
Ọnụọgụgụ ndị Juda niile lọtara dị narị isii na iri itoolu (690).

[7] Ụmụ Benjamin:
Salu nwa Meshulam, nwa Hodavaya, nwa Hasenua;
[8] na Ibneia nwa Jeroham;
Elaa nwa Uzi, nwa Mikri;
na Meshulam nwa Shefataya, nwa Reuel, nwa Ibnija.
[9] Ha niile bụ ndịisi ezi. Ọnụọgụgụ ndị Benjamin niile lọtara ndị e dere aha ha n'akwụkwọ usoro ọmụmụ ha, dị narị itoolu na iri ise na isii (956).

[10] Ndị nchụaja:
Jedaya, Jehoiarib na Jakin;
[11] Azaraya nwa Hilkaya, nwa Meshulam, nwa Zadọk, na Meraiot, nwa Ahitub. Azaraya bụ onye na-elekọta ụlọnsọ ukwu Chineke.
[12] Ndị nchụaja ọzọ lọtaranụ bụ Adaya nwa Jeroham, nwa Pashua, nwa Malkija.
Onye ọzọ bụ Maasai nwa Adiel, nwa Jazera, nwa Meshulam nwa Meshilemit, nwa Imea
[13] Ọnụọgụgụ ndị nchụaja lọtaranụ bụ otu puku na narị asaa, na iri isii (1,760). Ha niile bụkwa ndịisi ezinaụlọ, ndị tozuru etozu ịrụ ọrụ ha, ndị ọrụ ha bụ ije ozi n'ụlọnsọ Chineke.

[14] Ndị Livayị:
Shemaya nwa Hashub, nwa Azrikam, nwa Hashabaya onye ikwu Merari.
[15] Bakbaka, Heresh, Galal, na Matanaya nwa Mika, nwa Zikri, nwa Asaf;
[16] Ọbadaya nwa Shemaya, nwa Galal, nwa Jedutun;
na Berekaya nwa Asa, nwa Elkena onye biri n'obodo nta ndị Netofa.

[17] Ndị nche ọnụ ụzọ ụlọnsọ si n'ebo Livayị:
Shalum, onyeisi ha, Akub, Talmon, Ahiman na ụmụnna ha. [18] Ha nọ ruo ugbu a
n'ọnụ ụzọ ama Eze, n'akụkụ ọwụwa anyanwụ. Ha bụ ndị nche ọnụ ụzọ ama si n'ọmụma ụlọ nke ndị Livayị.
[19] Shalum bụ nwa Kore, na nwa nwa Ebiasaf na Kora. Ya na ụmụnna ya ka ọ bụ ọrụ ha ilekọta ebe a na-eje ozi, na ọnụ ụzọ ụlọnsọ ukwu ahụ dịka nna nna ha lekọtara, cheekwa ụlọ nzute ONYENWE ANYỊ nche.

20 Finehaz nwa Elieza bụ onyeisi ndị mbụ rụrụ ọrụ a na mgbe ochie, Onyenwe anyị
nọnyekwaara ya.
21 Mgbe ahụ, Zekaraya nwa Meshelemaia bụ onye na-elekọta ọnụ ụzọ e si abata
n'ime ụlọ ikwu.
22 Ọnụọgụgụ ndị na-eche ọnụ ụzọ nche n'oge ahụ bụ narị abụọ na iri na
abụọ (212). E depụtara aha ha n'akwụkwọ usoro ọmụmụ nke obodo nta
ha.

Ndị nche ọnụ ụzọ ama ndị a bụ ndị Devid na Samuel onye amụma họpụtara nye ha
ọnọdụ a n'ihi na-atụkwasịrị ha obi. 23 Ha na ụmụ ụmụ ha ka e tinyere ya n'aka iche
ụlọ nzute Onyenwe anyị nche. 24 Ha na-eche akụkụ anọ ya niile, ọwụwa anyanwụ,
ọdịda anyanwụ, ugwu na ndịda. 25 Ụbọchị asaa ka ha na-anọ n'ọrụ a. Emesịa,
ụmụnna ha na-abịa gbanwee ha. Ya mere, ha na-agbanwe onwe ha ụbọchị asaa
asaa. 26 Ma ndịisi nche ọnụ ụzọ ama anọ ndị ahụ bụ ndị Livayị ka esitere n'ịtụkwasị
obi nyefee ọrụ ilekọta ime ụlọ niile nakwa ụlọakụ niile dị n'ime ụlọ Chineke n'aka.
27 Ha na-eche nche gburugburu ụlọnsọ Chineke abalị niile, n'ihi na ọ bụ ha ka ọ dị
n'aka iche ya nche. Ọ bụkwa ha ka e nyefere ọrụ imeghe ya ụtụtụ niile.
28 Ụfọdụ n'ime ha ka ọ dị n'aka ilekọta ngwongwo e ji achụ aja. Ha na-agụ ya ọnụ
mgbe ọbụla e webatara ya, na mgbe ọbụla a na-ewepụ ya. 29 Ndị ọzọ na-elekọta
ihe niile e ji chọọ ụlọnsọ ahụ mma, ya na ụtụ ọka, na mmanya, na ihe nsure ọkụ
na-esi isi ụtọ, na ụda dị iche iche. 30 Ma ọ bụ ndị nchụaja ndị ọzọ ka e nyere ọrụ
ịsụ, ịgwakọta na ịkpụkọta ụda na ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ. 31 Matitaia, onye
Livayị, ọkpara Shalum, onye ikwu Kora, ka esitere na ntụkwasị obi nyefee ya ọrụ
ime achịcha onyinye. 32 Ụfọdụ n'ime ndị ikwu Kohat ka ọ dị n'aka ime achịcha pụrụ
iche, a na-adọkwasị n'elu tebul, n'ụbọchị izuike niile.
33 Ndị ọbụ abụ, ndị bụ ndịisi ezinaụlọ ndị Livayị na-anọgide n'ime ọnụụlọ ndị dị
n'ụlọnsọ ukwu n'ihi na e kweghị ka ha rụọ ọrụ ọzọ ebe ọ bụ na ha na-arụ ọrụ ịbụ
abụ ehihie na abalị niile.
34 Ha niile bụ ndịisi ezinaụlọ n'ebo Livayị. Ndị ndu dịka e depụtakwara aha ha
n'akwụkwọ usoro ọmụmụ. Ha bikwa na Jerusalem.

*Usoro ọmụmụ Sọl*

35 Jeiel nna Gibiọn bụ na Gibiọn ka o bi,
Aha nwunye ya bụ Maaka. 36 Ọ mụrụ Abdon, ọkpara ya, Zua, Kish, Baal, Nea,
Nadab, 37 Gedoa, Ahio, Zekaraya na Miklot. 38 Miklot bụ nna Shimeam. Ha
onwe ha sokwa ụmụnna ha biri na Jerusalem.
39 Nea mụrụ Kish nna Sọl, onye bụ nna Jonatan, Malkishua, Abinadab na Esh-Baal.
40 Jonatan mụrụ
Merib-Baal nna Maịka.
41 Maịka mụrụ
Piton, Melek, Tahrea na Ehaz.
42 Ehaz mụrụ Jada. Jada bụ nna Alemet, Azmavet na Zimri. Zimri mụrụ Moza.
43 Moza mụrụ Binea, nna Refaya, nna Eleasa, nna Azel.
44 Azel mụrụ ụmụ isii:
Azrikam, Bokeru, Ishmel, Shearaya, Ọbadaya na Hanan. Ndị a bụ ụmụ ndị ikom
Azel.

# 10

*Ọnwụ Sọl*

1 N'oge a ndị Filistia lụsoro ndị Izrel agha, ndị Izrel si n'ihu ha gbaa ọsọ, ma ọtụtụ
n'ime ha nwụrụ n'ugwu Gilboa. 2 Ndị Filistia ji ike chụso Sọl na ụmụ ya. Ha gburu

ụmụ ya ndị ikom, Jonatan, Abinadab na Malkishua. 3 Agha ahụ siri ike nke ukwuu
megide Sọl, mgbe ndị na-agba ụta chụkwutere ya ha merụrụ ya ahụ.
4 Sọl gwara onye na-ebu ngwa agha ya, sị, “Mịpụta mma agha gị, were ya magbuo
m ka ndị a a na-ebighị ugwu ghara ịbịa jiri m mee ihe egwuregwu.”
Ma onye na-ebu ngwa agha ya ekweghị, n’ihi ọnọdụ oke egwu. N’ihi ya, Sọl were
mma agha nke ya, dakwasị n’elu ya. 5 Mgbe onye na-ebu ihe agha Sọl hụrụ na ọ
nwụọla, ya onwe ya dakwasịkwara n’elu mma agha nke ya, nwụọkwa. 6 Ya mere,
Sọl na ụmụ ya ndị ikom atọ nwụrụ, ndị niile si n’ụlọ ya nwụkwara n’otu mgbe ahụ.
7 Mgbe ndị Izrel niile nọ na ndagwurugwu hụrụ na ndị agha agbaala ọsọ, na Sọl
na ụmụ ya ndị ikom anwụọla, ha hapụrụ obodo ha niile gbapụ ọsọ. Ndị Filistia
bịakwara bichie n’ime ha.
8 N’echi ya, mgbe ndị Filistia bịara iyipụ ndị nwụrụ anwụ ihe ha ga-achịkọrọ, ha
hụrụ ozu Sọl na nke ụmụ ya ndị ikom ka ha tọgbọ n’ugwu Gilboa. 9 Ha yipụrụ ya
ihe niile oyi, buru isi ya na ihe agha ya, zipụkwa ndị ozi gara n’ala ndị Filistia niile
ikwusa akụkọ ihe mere nye ndị ha niile na arụsị ha niile. 10 Ha tinyere ihe agha ya
n’ụlọ chi ha, kwụbakwa okpokoro isi ya n’ụlọ Dagọn.
11 Mgbe ndị Jebesh Gilead niile nụrụ ihe ndị Filistia mere Sọl, 12 ndị ikom ha niile bụ
ndị dimkpa, biliri gaa buru ozu Sọl na ụmụ ya, bulata ha na Jebesh. Ha liri ọkpụkpụ
ha n’okpuru osisi ukwu dị na Jebesh, buo ọnụ ụbọchị asaa.
13 Sọl nwụrụ n’ihi ekwesighị ntụkwasị obi ya nye ONYENWE ANYỊ, o debeghị okwu
ONYENWE ANYỊ, karịsịa, ọ gara na nke onye na-ajụ mmụọ ọjọọ ase, n’ihi ịjụta ya ase,
14 ma ọ jụghị ase site n’ọnụ ONYENWE ANYỊ. Ọ bụ nke a mere ONYENWE ANYỊ ji gbuo
ya, were alaeze ya nyefee Devid nwa Jesi n’aka.

# 11

### *Devid aghọọ eze Izrel*

1 Ndị Izrel niile gbakọtara bịakwute Devid na Hebrọn sị ya, “Lee, ọkpụkpụ gị na
anụ ahụ gị ka anyị bụ. 2 N’oge gara aga, ọ bụladị mgbe Sọl bụ eze, ọ bụ gị duuru ndị
agha Izrel n’ọgụ niile, ma ọpụpụ ma mbata. ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị, sịrị gị, ‘Ị
ga-azụ ndị m, bụ Izrel, ị ga-abụkwa onye ga-achị ha.’ ”
3 Mgbe ndị okenye Izrel niile bịakwutere eze Devid na Hebrọn, ya na ha gbara ndụ
n’ihu ONYENWE ANYỊ na Hebrọn. Ha tere ya mmanụ ịbụ eze Izrel, dịka ONYENWE ANYỊ
kwere na nkwa site n’ọnụ Samuel.

### *Devid emerie Jerusalem*

4 Devid na ndị Izrel zọọrọ ije garuo Jerusalem nke bụ Jebus. Ma ndị Jebus bi n’ebe
ahụ, 5 gwara Devid sị, “Ị gaghị abata n’ebe a.” N’agbanyeghị okwu ndị a, Devid
dọtara ebe ahụ e wusiri ike nke Zayọn n’agha, ya bụ obodo Devid.
6 Devid ekwuolarị sị, “Onye ọbụla buru ụzọ buo agha megide ndị Jebus ga-abụ
onyeisi ọchịagha ndị agha.” Joab nwa Zeruaya bụ onye mbụ gara, n’ihi ya, o nwetara
ike ịbụ ọchịagha.
7 Devid biiri n’ebe ahụ e wusiri ike. Ọ bụ nke a mere e ji akpọ ya obodo Devid. 8 O
wuru obodo gburugburu ya, site na Milo ruo na mgbidi gbara ya gburugburu. Ma
Joab wuzikwara akụkụ obodo ahụ nke fọdụrụ. 9 Ma Devid gara n’ihu na-adị ukwuu
karịa, n’ihi na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, nọnyeere ya.

### *Ndị ọka agha Devid*

10 Ndị a bụ ndịisi ndị dike n’etiti ndị agha Devid. Ha na ndị Izrel niile nyere ịchị eze
Devid ezi nkwado ime ka ọchịchị ya ruo n’akụkụ niile nke ala ahụ, dịka ONYENWE
ANYỊ kwere na nkwa. 11 Nke a bụ ndekọ ọnụọgụgụ ndị dike n’agha Devid nwere:

Jashobeam, onye Hakmon, bụ onyeisi n’etiti ndịisi ndị ọzọ. O weliri ùbe ya megide narị ndị ikom atọ, bụ ndị o gburu n’otu mgbe ibu agha.

12 Onye nke na-eso ya bụ Elieza nwa Dodayi, onye Ahohi, onye bụ otu n’ime ndị
dike atọ ndị ahụ. 13 Ya na Devid nọ na Pas Damin mgbe ndị Filistia zukọrọ n’ebe ahụ
ibu agha. N’otu ebe, nke e nwere otu ubi jupụtara n’ọka balị, ma ndị agha Izrel si
n’ọgbọ agha gbapụ ọsọ n’ihi ndị Filistia. 14 Ma ha were ọnọdụ ha n’etiti ubi ahụ, ha
napụtara ya, tigbuo ndị Filistia niile ahụ. ONYENWE ANYỊ nyere mmeri dị ukwuu.

15 Mmadụ atọ n’ime iri ndịisi agha atọ ahụ jekwuru Devid na nkume dị n’ọgba
Adulam, na mgbe otù ndị Filistia mara ụlọ ikwu ha na Ndagwurugwu Refaim. 16 Ma
Devid nọ n’ebe ahụ ewusiri ike n’oge ahụ, ma ọnọdụ ndị agha ndị Filistia dị na
Betlehem. 17 Agụụ mmiri gụrụ Devid nke ukwuu, ọ sị, “Ọ ga-amasị m ma ọ bụrụ na
o nwere onye ga-ekunye m mmiri ọṅụṅụ site n’olulu mmiri dị nso n’ọnụ ụzọ ama
Betlehem!” 18 Ya mere, ha atọ wakpuru ọmụma ụlọ ikwu ndị Filistia, seta mmiri
site n’olulu mmiri ahụ dị n’akụkụ ọnụ ụzọ ama Betlehem, bulatara ya Devid. Ma
Devid jụrụ ịṅụ ya, kama ọ wufuru ya n’ala dịka onyinye nye ONYENWE ANYỊ, kwuo
sị, 19 “Chineke ekwela ka m mee nke a. M ga-aṅụ ọbara ndị ikom a, bụ ndị ji ndụ
ha chụọ aja n’ihi ikute mmiri a?” N’ihi na ha ji ndụ ha chụọ aja ịga kute ya, Devid
ekweghị aṅụ ya.

Nke a bụ ụdị ike dike atọ ahụ kpara.

20 Abishai, nwanne Joab bụ onyeisi ndị ikom atọ ahụ. O weliri ùbe ya megide narị
ndị ikom atọ, tigbukwaa ha niile. N’ihi nke a, ọ ghọrọ onye a ma ama dịka mmadụ
atọ ndị a. 21 N’etiti mmadụ atọ ahụ, a na-asọpụrụ ya karịa, ọ ghọrọ onyeisi ha. Ọ bụ
ezie na-agụnyeghị ya dịka otu onye n’ime ha.

22 Benaya, nwa Jehoiada, onye si Kabzeel, bụ dike n’agha, kpara ike dị ukwuu. O
tigburu dimkpa abụọ ndị Moab, ndị bụ ọkaka n’agha. O rịdakwukwara ọdụm n’ime
olulu na-amị amị n’ụbọchị mkpụrụ mmiri na-ezo, gbuo ya. 23 O tigburu otu nwoke
onye Ijipt, nke ogologo ya dị mita abụọ na ọkara. Ọ bụ ezie na onye Ijipt ahụ ji ùbe
buru ezigbo ibu n’aka, nke okporo ya dịka nke onye na-ekwe akwa ji ekwe akwa,
ma Benaya ji naanị mkpọ jekwuru ya, pụnara onye Ijipt ahụ ùbe dị ya n’aka, jiri ya
magbuo ya. 24 Nke a bụ ụdị ike Benaya nwa Jehoiada kpara. Ya onwe ya nwekwara
aha dịka ndị dike atọ ahụ. 25 A na-asọpụrụ ya n’ebe ọ dị ukwuu karịa onye ọbụla
n’etiti iri dike atọ ndị ahụ, ma o rughị ogugo ndị dike atọ mbụ ahụ. Devid mere ya
onyeisi ndị na-eche ya nche.

26 Ndị bụ dike n’agha bụ ndị a:

Asahel nwanne Joab,
Elhanan nwa Dodo onye Betlehem,
27 Shamot onye Haroa,
Helez onye Pelon,
28 Ira nwa Ikesh, onye Tekoa,
Abieza onye Anatot,
29 Sibekai onye Husha,
Ilai onye Ahohi,
30 Maharai onye Netofa,
Heled nwa Baana, onye Netofa,
31 Itai nwa Ribai, nke Gibea ụmụ Benjamin,
Benaya onye Piraton,
32 Hurai onye si n’akụkụ iyi dị na Gaash,
Abiel onye Arba,

33 Azmavet onye Baharum,
Eliaba onye Shaalbon,
34 Ụmụ Hashem onye Gizon,
Jonatan nwa Shagee, onye Hara,
35 Ahiam nwa Saka, onye Hara,
Elifal nwa Ụọ,
36 Hefa onye Mekerat,
Ahija onye Pelon,
37 Hezro onye Kamel,
Naarai nwa Ezbai,
38 Juel nwanne Netan,
Miba nwa Hagri,
39 Zelek onye Amọn,
Naharai onye Beerọt, onye na-ebu ngwa agha Joab, nwa Zeruaya,
40 Ira onye Itra,
Gareb onye Itra,
41 Ụraya onye Het,
Zabad nwa Alai,
42 Adina nwa Shiza, onye Ruben, onye bụ onyeisi ebo Ruben na iri mmadụ atọ ahụ na-eso ya.
43 Hanan nwa Maaka,
Joshafat onye Mitna,
44 Ụzia onye Ashterat,
Shama na Jeiel ụmụ Hotam, onye Aroea,
45 Jediael nwa Shimri,
Joha nwanne ya, onye Tiza,
46 Eliel onye Mahavi,
Jeribai na Joshavia ụmụ Elnaam,
Itma onye Moab,
47 Eliel, Obed, na Jaasiel onye Mezoba.

# 12

### *Ndị dike n'agha so Devid*

1 Ndị a bụ ndị ikom bịakwutere Devid na Ziklag, mgbe e si n'ihu Sọl nwa Kish chụpụ ya. (Ha so n'ime ndị ọka agha nyeere Devid aka ibu agha. 2 Ngwa agha ha bụ ụta, ha nwere ike iji aka nri maọbụ aka ekpe gbapụ àkụ maọbụ fee ebe; ndị a bụ ndị ikwu Sọl si n'ebo Benjamin.)

3 Onyeisi ha bụ Ahieza na Joash, bụ ụmụ Shema onye Gibea.
Ndị ọzọ bụ, Jeziel na Pelet ụmụ Azmavet,
Beraka, Jehu onye Anatot, 4 Ishmaya onye Gibiọn, dimkpa n'etiti iri mmadụ atọ ndị ahụ, onye bụ onyendu iri mmadụ atọ ahụ,
Jeremaya, Jahaziel, Johanan, Jozabad onye Gedera, 5 Eluzai, Jerimot, Bealia, Shemaraya, na Shefataya onye Haruf;
6 Elkena, Ishaya, Azarel, Joeza na Jashobeam, ndị Kora;
7 Juela na Zebadaya ụmụ Jeroham onye Gedoa.

8 Ndị a bụkwa dike n'agha sitere n'ebo Gad gbasoo Devid n'ebe e wusiri ike ya dị n'ọzara. Ha bụkwa ndị ọka n'iji ùbe na ọta alụ agha. Ha dịkwa gara gara dịka ele n'elu ugwu, ihu ha dịkwa ka ihu ọdụm.

9 Eza, bụ onyeisi ha.
Ọbadaya bụ onye na-eso ya, tupu Eliab esoro.
10 Onye nke anọ bụ Mishmana. Ndị ọzọ n'usoro ha bụ, Jeremaya,
11 na Atai bụ nke isii, na Eliel bụ nke asaa,
12 na Johanan bụ nke asatọ, na Elzabad bụ nke itoolu,
13 na Jeremaya onye nke iri, nakwa Makbanai onye nke iri n'otu.

14 Ndị a, ndị sitere n'ebo Gad bụ ndịisi agha. Onye na-adịghị ike n'ime ha dị ike
dịka narị ndị agha, ma onye dị ike n'ime ha dị ike dịka puku ndị agha. 15 Ọ bụ ha
gafere osimiri Jọdan n'udu mmiri, mgbe Jọdan tofere akụkụ ya niile, chụsaa ndị niile
bi na ndagwurugwu, n'akụkụ ọwụwa anyanwụ na ọdịda anyanwụ.
16 Ndị ọzọ sitekwara n'ebo Benjamin na Juda bịakwute Devid n'ebe ya e wusiri ike.
17 Mgbe ahụ, Devid pụrụ ịga zute ha, sị ha, "Ọ bụrụ na unu bịara n'udo inyere m
aka, ejikeere m ịnabata unu ka unu dịnyere m. Kama ọ bụrụkwanụ na unu bịara
ịrara m nye n'aka ndị iro m, ebe aka m dị ọcha, ka Chineke nna nna anyị hụ ihe dị
unu n'obi kpee unu ikpe."
18 Mgbe ahụ, Mmụọ Nsọ dakwasịrị Amasai, onyendu iri ndị ikom atọ ahụ, mee ka
ọ gwa Devid okwu sị ya,
"Anyị bụ ndị gị, Devid!
Anyị so gị n'azụ, gị nwa Jesi!
Udo, udo ga-abụ nke gị,
udo ga-abụkwa nke ndị na-enyere gị aka,
n'ihi na Chineke gị na-enyere gị aka."
Ya mere, Devid nabatara ha mee ha ndịisi agha na-apụnara ndị mmadụ ihe.
19 Ụfọdụ n'ime ndị ebo Manase gbasooro Devid, mgbe ọ gara sonyere ndị Filistia
n'ịlụso Sọl ọgụ. Ma ya na ndị agha ya enyereghị ndị Filistia aka, n'ihi na mgbe ndị
Filistia gbachara izu, ndị ndu ndị Filistia zilagara ya. Ha kwuru sị, "Isi anyị ka anyị
ga-atụfu ma ọ bụrụ na Devid ahapụ anyị n'ọgbọ agha gbakwuru nna ya ukwu bụ
Sọl." 20 Mgbe Devid gara Ziklag, ndị a bụ ndị ikom si n'ebo Manase ndị gbasooro
ya: Adna, Jozabad, Jediael, Maikel, Jozabad, Elihu na Ziletai. Ndị a niile bụ ndịisi
agha na-achị puku ndị agha n'ebo Manase. 21 Ha nyeere Devid aka imegide ndị agha
nkwata ahụ, n'ihi na ha niile bụ dike n'agha, bụrụkwa ndịisi agha. 22 Site n'ụbọchị
ruo n'ụbọchị, ọtụtụ ndị ikom na-agbafeta soro Devid, tutu ruo mgbe ha ghọrọ igwe
ndị agha, ndị agha nke Chineke.

### *Ndị ọzọ bịakwutere Devid na Hebrọn*

23 Ndị a bụ ndị jikeere ibu agha, ndị chịkwa ngwa agha bịakwute Devid na Hebrọn, n'ihi na ha chọrọ ka ọ bịa bụrụ eze ha n'ọnọdụ Sọl, dịka ONYENWE ANYỊ kwuru.

24 Ndị sitere n'ebo Juda, ndị bu ọta na ùbe ha dị puku isii na narị asatọ. (6,800)
25 Ndị Simiọn a maara aha ha n'ibu agha dị puku asaa na otu narị. (7,100)
26 Ndị Livayị dị puku anọ na narị isii. (4,600), 27 tinye Jehoiada, onyendu n'ezinaụlọ
Erọn na puku ndị ikom atọ na narị asaa (3,700), 28 na Zadọk, nwokorobịa bụ dike
na dimkpa n'agha, onyendu ndịisi agha iri abụọ na abụọ (22) ndị si n'ezinaụlọ
ya.
29 Ụmụ Benjamin, ndị ikwu Sọl, dị puku atọ (3,000), n'ihi na n'oge a, ọtụtụ ha nọnyeere Sọl.
30 Ụmụ Ifrem dị iri puku abụọ na narị asatọ (20,800), ndị dị ike n'agha, ndị a makwaara aha ha n'ikwu ha.

31 Site n’ọkara ebo Manase, ndị ọnụọgụgụ ha dị puku iri na asatọ (18,000) ka a họpụtara ịga inyere Devid aka ịbụ eze.
32 Ụmụ Isaka; narị ndịisi abụọ (200), na ndị ha na-edu. Ndịisi a bụ ndị nwere nghọta oge ha nọ n’ime ya marakwa ihe Izrel kwesiri ime n’oge ahụ.
33 Ụmụ Zebụlọn dị iri puku ise. (50,000) Ha enweghị obi abụọ ọbụla iso Devid. A zụkwara ha n’iji ụdị ngwa agha ọbụla na-ebu agha.
34 Ọnụọgụgụ ndị ndu ụmụ Naftalị dị otu puku (1,000), tinyere ndị agha dị puku iri atọ na asaa (37,000), ndị ji ùbe na ọta.
35 Ụmụ Dan dị iri puku abụọ na asatọ, na narị isii. (28,600) Ha bụkwa ndị agha jikeere ibu agha.
36 Ụmụ Asha dị iri puku anọ (40,000). Ha bụ ndị ibu agha doro nnọọ anya.
37 Sitekwa n’ọwụwa anyanwụ Jọdan, site n’ebo Ruben na Gad, na ọkara ebo Manase bi, ndị agha ọnụọgụgụ ha dị narị puku na iri abụọ (120,000), ndị ji ụdị ngwa agha ọbụla pụtara soro Devid. Ha bukwa ngwa agha ha pụta.

38 Ndị a niile bụ ndị agha na-eje ozi n’usoro ndị ji obi ha pụta.

Ha nwekwara mkpebi mgbe ha si ebe ọbụla ha si pụta ịbịa Hebrọn ime Devid eze.
Ndị Izrel niile jikwa otu obi pụta ime Devid eze Izrel. 39 Mgbe ha pụkwutere Devid,
ha so ya rie, ṅụọ, abalị atọ. Ọ bụkwa ihe ndị ezinaụlọ ha kwadoro ha ji bịa ka ha riri.
40 Ndị Isaka, na Zebụlọn, na Naftalị si ebe dị anya bute nri. Ịnyịnya ibu, na ịnyịnya
kamel, na ịnyịnya muul na ehi ka ha ji bute nri ndị a. Ọ bụkwa nri dị iche iche ka
ha butere, dịka ụtụ ọka, na achịcha e ji mkpụrụ fiig mee, na achịcha ndị ọzọ dị iche,
na mmanya, na mmanụ, na igwe ehi, na igwe atụrụ. Ha si otu a bute nri ndị a n’ihi
na oke ọṅụ jupụtara n’ala Izrel niile.

# 13

*Mbughachi igbe ọgbụgba ndụ*

1 Devid na ndịisi agha ya na-achị imerime puku ndị agha, na ọtụtụ narị ndị agha,
zukọrọ gbaa izu. 2 Ọ gwara ọgbakọ Izrel niile ahụ sị, “Ọ bụrụ na ọ dị unu mma, ọ
bụrụkwa na ọ bụ ọchịchọ Onyenwe anyị Chineke anyị, ka anyị ziga ozi zie ụmụnna
anyị niile bi n’akụkụ niile nke ala Izrel, na ndị nchụaja na ndị Livayị niile, bi n’obodo
ha na ndị bi n’ebe ịta nri nke anụ ụlọ ha, ka ha bịa, soro anyị. 3 Ka anyị gaa bulata
igbe ọgbụgba ndụ Chineke n’ihi na e lefuru ya anya n’oge ahụ niile Sọl bụ eze.” 4 Ha
niile kwekọrịtara ime nke a n’ihi na okwu ahụ dị ndị niile zukọrọ mma.
5 Mgbe ahụ, Devid kpọrọ ndị Izrel niile oku ka ha zuo ezuo site n’ebe niile ha bi,
site n’oke ala ha na ndị Ijipt, ya bụ iyi Shiho, ruo n’oke ala dị n’ugwu, ya bụ Lebo
Hamat, ka ha gaa bulata igbe ọgbụgba ndụ Chineke site na Kiriat Jearim. 6 Devid na
ndị Izrel niile jere Baala n’ime Juda, ya bụ Kiriat Jearim, i si n’ebe ahụ bugota igbe
ọgbụgba ndụ Chineke, bụ Onyenwe anyị, onye na-anọkwasị n’etiti cherubim, igbe
ahụ nke akpọkwasịrị aha ya.
7 Ha ji ụgbọala ọhụrụ ehi na-adọkpụ buru igbe ọgbụgba ndụ Chineke site n’ụlọ
Abinadab, Ụza na Ahio na-eduzi ụgbọala ahụ ụzọ. 8 Devid na ndị Izrel niile weere
ike ha niile na-aṅụ ọṅụ n’ihu Chineke, jiri abụ, ụbọ akwara, opi, une na ogene na iti
egwu na-etekwa egwu.
9 Mgbe ha rutere n’ebe ịzọcha ọka nke Kidon, Ụza setịpụrụ aka ya ijide igbe
ọgbụgba ndụ ahụ, n’ihi na ehi ahụ zọhiere ụkwụ. 10 Ma iwe Onyenwe anyị dị ọkụ
megide Ụza, o tigburu ya n’ihi na o metụrụ igbe ọgbụgba ndụ ahụ aka. Ya mere, ọ
nwụrụ n’ebe ahụ n’ihu Chineke.

11 Mgbe ahụ, iwe were Devid n'ihi ọnụma ONYENWE ANYỊ dakwasịrị Ụza, ruo taa,
a na-akpọ ebe ahụ Perez Ụza.
12 Devid tụrụ egwu Chineke n'ụbọchị ahụ, o kwuru sị, "M ga-esi aṅaa bubatara
onwe m igbe ọgbụgba ndụ a?" 13 O bubataghị igbe ọgbụgba ndụ ahụ n'ime obodo
Devid, kama o bugara ya n'ụlọ Obed-Edọm, onye Git. 14 Igbe ọgbụgba ndụ Chineke
ahụ nọrọ n'ezinaụlọ Obed-Edọm n'ụlọ ya ọnwa atọ. ONYENWE ANYỊ gọzikwara
ezinaụlọ ya na ihe niile o nwere.

# 14

*Ezinaụlọ Devid*

1 Hiram bụ eze Taịa zitere Devid ndị ozi, na ndị ọkwa ǹka osisi na ndị na-edo
nkume, ka ha nyere Devid aka iwu ụlọeze ya. O nyekwara ya osisi sida o ji ewu ụlọ
ahụ. 2 Devid ghọtara na ONYENWE ANYỊ emeela ka o guzosie ike dịka eze ndị Izrel, na
ebuliela alaeze ya elu nke ukwuu n'ihi ndị ya Izrel.
3 Devid lụrụ ndị inyom ọzọ mgbe o jere biri na Jerusalem. Nke a mere ka ọ mụọ
ọtụtụ ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị. 4 Ndị a bụkwa aha ụmụ a mụụrụ ya n'ebe
ahụ: Shamua, Shobab, Netan, Solomọn, 5 Ibha, Elishua, Elpelet, 6 Noga, Nefeg, Jafia,
7 Elishama, Beeliada na Elifelet.

*Devid emerie ndị Filistia*

8 Mgbe ndị Filistia nụrụ na eteela Devid mmanụ ị bụ eze ndị Izrel niile, ha pụrụ
n'igwe ha ịchọ ya. Ma Devid nụrụ maka ya, jikere pụọ izute ha. 9 Ma ndị Filistia
bịara, bukọrọ ihe niile dị na Ndagwurugwu Refaim. 10 Devid jụrụ Chineke ase sị, "Ọ
bụ m gaa buso ndị Filistia agha? Ị ga-enyefe ha n'aka m?"
ONYENWE ANYỊ zara sị ya, "Gaa, aga m enyefe ha n'aka gị."
11 Ya mere, Devid na ndị ikom ya gara Baal-Perazim, meriekwa ha n'ebe ahụ. O
kwuru sị, "Chineke enupula megide ndị iro m site n'aka m, dịka idee mmiri si enupu."
N'ihi ya, a kpọrọ ebe ahụ Baal Perazim. 12 Ndị Filistia hapụrụ chi niile ha n'ebe ahụ,
Devid nyere iwu ka e suo ha niile ọkụ.
13 Ndị Filistia bukwara agha bịa na ndagwurugwu ahụ ọzọ. 14 N'ihi nke a, Devid
jụrụ Chineke ase ọzọ. Chineke sịrị ya, "Esitekwala n'ihu buso ha agha, kama gbaa ha
gburugburu, buso ha agha na ncherita ihu osisi balsam ndị ahụ. 15 Ngwangwa ị nụrụ
ụda ikiri ụkwụ n'elu osisi balsam ndị ahụ, mgbe ahụ ka unu ga-apụ ibu agha, n'ihi
na nke a pụtara na Chineke eburula unu ụzọ pụọ, itigbu ndị agha Filistia." 16 Devid
mere dịka Chineke nyere ya n'iwu. Ha tigburu ndị agha Filistia site na Gibiọn ruo
Gaza.
17 Ya mere, aha Devid bidoro na-ewu ewu; ONYENWE ANYỊ tinyekwara ụjọ ya n'obi
mba niile.

# 15

*Mbubata igbe ọgbụgba ndụ na Jerusalem*

1 Mgbe Devid wuchara ụlọ obibi ya n'obodo Devid, o doziri ebe a ga-adọsa igbe
ọgbụgba ndụ Chineke. Ọ mara ụlọ ikwu maka ya. 2 Devid kwuru sị, "O nweghị onye
ọbụla ga-ebu igbe Chineke karịakwa ndị Livayị, n'ihi na ONYENWE ANYỊ họpụtara ha
ibu igbe ONYENWE ANYỊ na ije ozi n'ihu ONYENWE ANYỊ ruo mgbe ebighị ebi."
3 Ya mere, Devid kpọkọtara ndị Izrel niile, na Jerusalem ibubata igbe Onyenwe anyị
n'ebe ahụ ọ kwadoro na a ga-adọsa ya.

4 Ọ kpọkọtara ụmụ Erọn na ndị Livayị:

5 Ndị Kohat na ụmụnna ha dị otu narị na iri abụọ. (120)

Uriel bụ onyeisi ha.
6 Ụmụ Merari na ụmụnna ha dị narị abụọ na iri abụọ. (220)
Asaya bụ onyeisi ha.
7 Ụmụ Geshọm na ụmụnna ha dị otu narị na iri atọ. (130)
Juel bụ onyeisi ha.
8 Ụmụ Elizafan na ụmụnna ha dị narị abụọ (200).
Shemaya bụ onyeisi ha.
9 Ụmụ Hebrọn na ụmụnna ha dị iri asatọ. (80)
Eliel bụ onyeisi ha.
10 Ụmụ Uziel na ụmụnna ha dị otu narị na iri na abụọ. (112)
Aminadab bụ onyeisi ha.

11 Devid kpọrọ Zadọk na Abịata, ndị nchụaja na Uriel, Asaya, Juel, Shemaya, Eliel,
na Aminadab ndị Livayị sị ha, 12 "Unu bụ ndịisi ezinaụlọ dị iche iche, n'ebo Livayị.
Doonụ onwe unu nsọ unu na ụmụnna unu ibulata igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ,
Chineke Izrel n'ebe a m doziri n'ihi ya. 13 Na mbụ, ONYENWE ANYỊ Chineke tara anyị
ahụhụ n'ihi na anyị esoghị omenaala ime ka unu bụ ndị Livayị buru ya. Anyị ajụtaghị
ya ase otu a ga-esi bulata ya n'ụzọ o kwesiri." 14 Ya mere, ndị nchụaja na ndị Livayị
mezuru omenaala ido onwe ha nsọ maka ibulata igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ,
Chineke Izrel ahụ. 15 Ndị Livayị jiri osisi ogologo buru igbe Chineke ahụ n'isi ubu aka
ha dịka Mosis nyere n'iwu n'usoro dịka okwu ONYENWE ANYỊ si dị.
16 Devid nyekwara ndị ndu Livayị iwu sị ka ha họpụta site n'etiti ụmụnna ha ndị
abụ na ndị egwu, ndị ga-abụ abụ ọṅụ, nke ya na ngwa egwu ndị a ga-eso: ụbọ akwara,
une na ogene.
17 Ndị Livayị họpụtara Heman nwa Juel; ma site n'etiti ụmụnna Juel ha họpụtara
Asaf, nwa Berekaya. Sitekwa n'etiti ụmụnna ha ndị Merari ha họpụtara Etan
nwa Kushaya, 18 tinyere ndị a, ha họpụtara ụmụnna ha ndị a, ndị na-esote
ha n'ọkwa: Zekaraya, Jaaziel, Shemiramot, Jehiel, Unni, Eliab, Benaya, Maaseia,
Matitaia, Elifelehu, Mikneya, Obed-Edọm na Jeiel bụ ndị na-eche ọnụ ụzọ.
19 Heman, Asaf na Etan ka a họpụtara maka ịkụ ogene bronz. 20 Zekaraya na Aziel,
Shemiramot, Jehiel, Unni, Eliab, Maaseia na Benaya bụ ndị na-akpọ ụbọ akwara dịka
usoro abụ *alamot,* si dị 21 Matitaia, Elifelehu, Mikneya, Obed-Edọm, Jeiel na Azazaya
bụkwa ndị na-akpọ une dịka usoro abụ *Sheminit* si dị. 22 Onyeisi ndị na-abụ abụ a
họpụtara bụ Kenaniya, onye bụkwa onyeisi ndị Livayị. A họpụtara ya n'ihi na ọ bụ
onye nwere nghọta banyere abụ.
23 Berekaya na Elkena bụ ndị na-eche ọnụ ụzọ ebe igbe ahụ dị. 24 Shebanaya,
Joshafat, Netanel, Amasai, Zekaraya, Benaya na Elieza, ndị bụ ndị nchụaja bụ ndị
na-afụ opi n'ihu igbe ọgbụgba ndụ Chineke. Obed-Edọm na Jehaya ga-esokwa ndị
ga-eche ọnụ ụzọ ebe igbe ahụ dị nche.
25 Devid na ndị okenye Izrel, na ndịisi agha na-achị puku ndị agha, ji oke ọṅụ gaa
n'ụlọ Obed-Edọm n'ihi ibugote igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ ahụ. 26 N'ihi na
Chineke nyeere ndị Livayị na-ebu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ aka, ọ bụ oke ehi
asaa na ebule asaa ka a chụrụ n'aja. 27 Ọ bụ ezi akwa ọcha ka e ji kee Devid ekike,
dịka ndị Livayị niile bụ ndị bu igbe ọgbụgba ndụ ahụ, na ndị ọbụ abụ, na Kenaniya,
bụ onyeisi otu ndị na-abụ abụ yi akwa ọcha n'ahụ ha. Devid yikwa uwe efọọd e ji
akwa ọcha dụọ. 28 Ya mere, ndị Izrel niile ji iti mkpu, na-ịfụ opi mpi ebule na-ịfụ opi
ike, ịkpọ ụbọ akwara, ịkụ ogene na une, bulata igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ.
29 Mgbe ha bu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ na-abata n'obodo Devid, Mikal
nwa Sọl, lepụrụ anya site na oghereikuku ụlọ. Mgbe ọ hụrụ eze Devid ka ọ na-ayọrị
egwu na-aṅụrị ọṅụ, o ledara ya anya n'ime obi ya.

# 16

*Abụ ekele*

1 Ha bubatara igbe ọgbụgba ndụ Chineke ahụ guzobe ya n'ime ụlọ ikwu nke Devid
manyere maka ya. Ha chekwara aja nsure ọkụ na aja udo n'ihu Chineke. 2 Mgbe
Devid chụsịrị aja nsure ọkụ na aja udo ndị a, ọ gọziri ndị Izrel n'aha ONYENWE
ANYỊ. 3 O nyekwara onye ọbụla n'Izrel, ma nwoke ma nwanyị, otu ogbe achịcha,
ọkpụrụkpụ anụ na achịcha mkpụrụ osisi a mịkpọrọ amịkpọ.
4 Ọ họpụtara ụfọdụ ndị Livayị ka ha nọdụ n'ihu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ
ahụ inye ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel ekele na otuto na ịrịọ ya ngọzị n'isi ndị ya Izrel.
Ndị a bụ ndị o nyere ije ozi a: 5 Asaf bụ onyeisi ndị a. Ndị ọzọ bụ Zekaraya, Jeiel,
Shemiramot, Jehiel, Matitaia, Eliab, Benaya, Obed-Edọm na Jeiel. Ọrụ ha bụ ịkpọ ụbọ
akwara, na une, ma ọrụ Asaf bụ onye na-akụ ogene ọla na-ada ụda. 6 Benaya na
Jahaziel, ndị nchụaja, ketara ọrụ ịfụ opi n'ihu igbe ọgbụgba ndụ Chineke kwamgbe
kwamgbe.
7 N'ụbọchị ahụ ka Devid buru ụzọ họpụta Asaf na ndị otu ya ka ha nye ONYENWE
ANYỊ otuto n'usoro dị otu a:

8 Nyenụ ONYENWE ANYỊ otuto, kwupụtakwa aha ya,
meenụ ka amata n'etiti mba niile banyere ihe niile ọ rụrụ.
9 Bụkuonụ ya abụ, bụkuonụ ya abụ otuto;
kwupụtaranụ mba niile ọrụ ebube ya niile.
10 Ṅụrianụ n'ime aha nsọ ya;
ka obi ndị niile na-achọ ONYENWE ANYỊ ṅụrịa ọṅụ.
11 Na-achọnụ ONYENWE ANYỊ na ike ya,
chọọnụ ihu ya mgbe niile.

12 Chetanụ ọrụ ebube niile nke ọ rụrụ,
ihe ịrịbama ya niile na ikpe ziri ezi niile nke si n'ọnụ ya pụta.
13 Unu, ụmụ Izrel, bụ ohu ya
ụmụ Jekọb, ndị ọ họpụtara.
14 Ya onwe ya bụ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị;
ikpe ya dị n'ụwa niile.

15 Ọ na-echeta ọgbụgba ndụ ya ruo mgbe ebighị ebi;
bụ nkwa o kwere nye puku ọgbọ.
16 Ọgbụgba ndụ ahụ nke ya na Ebraham gbara,
na iyi ọ ṅụrụ nye Aịzik.
17 O mere ka o guzoro nye Jekọb dịka ụkpụrụ,
ma n'ebe Izrel nọ dịka ọgbụgba ndụ ebighị ebi:
18 Sị, "Aga m enye gị ala Kenan
ka ọ bụrụ ihe nketa gị."

19 Mgbe ha dị ole na ole n'ọnụọgụgụ,
n'ezie, ole na ole, bụrụkwa ọbịa n'ala ahụ.
20 Ha wagharịrị site n'otu mba gaa mba ọzọ,
sitekwa n'otu alaeze gaa na alaeze ọzọ.
21 O kweghị ka onye ọbụla mekpaa ha ahụ;
ọ baara ndị eze mba n'ihi ha, sị:
22 "Unu emetụkwala ndị m e tere mmanụ aka,
unu emekpakwala ndị amụma m ahụ."

23 Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ, unu ụwa niile;
kwupụtanụ nzọpụta ya site n'otu ụbọchị ruo n'ụbọchị nke ọzọ.
24 Kwusaanụ ebube ya n'etiti mba niile,
kọsakwanụ banyere oke ọrụ ya niile n'etiti ndị niile dị iche iche.

25 N'ihi na ONYENWE ANYỊ dị ukwuu, ọ bụkwa onye kachasị ka e nye otuto.
Onye a na-atụ egwu karịa chi ọzọ niile ka ọ bụkwa.
26 N'ihi na chi niile nke mba niile dị iche iche bụ arụsị efu,
maọbụ ONYENWE ANYỊ kere eluigwe niile.
27 Ịma mma na ebube dị n'ihu ya;
ike na ọṅụ dị n'ebe obibi ya.

28 Nyenụ ONYENWE ANYỊ, unu ezinaụlọ nke mba niile dị iche iche,
nyenụ ONYENWE ANYỊ nsọpụrụ na ike.
29 E, nyenụ ONYENWE ANYỊ nsọpụrụ ruuru aha ya,
werenụ onyinye bịa n'ihu ya.
Kpọọnụ isiala nye ONYENWE ANYỊ n'ịma mma nke ịdị nsọ ya.
30 Maa jijiji n'ihu ya, unu ụwa niile.
Elu ụwa niile kwụ chịm, a pụghị iwezuga ya n'ọnọdụ ya.

31 Ka eluigwe ṅụrịa, ka ụwa nwekwa obi ụtọ;
ka ha kwupụta n'etiti mba niile sị, "ONYENWE ANYỊ na-achị."
32 Ka osimiri bigbọọ, na ihe niile dị n'ime ya,
ka ala ubi niile na ihe niile dị n'ime ha jupụta n'obi ụtọ.
33 Ka osisi niile nke oke ọhịa bụọ abụ,
ka ha bụọ abụ ọṅụ n'ihu ONYENWE ANYỊ,
n'ihi na ọ na-abịa ikpe ụwa ikpe.

34 Keleenụ ONYENWE ANYỊ, n'ihi na ọ dị mma,
n'ihi na ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
35 Tikuonụ ya mkpu sị, "Zọpụta anyị, gị Chineke, Onye nzọpụta anyị;
chịkọta anyị, ma napụtakwa anyị site n'aka mba dị iche iche,
ka anyị nwee ike nye aha nsọ gị ekele;
ma nyaakwa isi n'ime otuto gị."
36 Otuto dịrị ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nke Izrel,
site n'ebighị ebi ruo ebighị ebi.
Mgbe ahụ, mmadụ niile sịrị, "Amen" na "Toonu ONYENWE ANYỊ."

37 Devid hapụrụ Asaf na ndị Livayị ibe ya n'ihu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ
ahụ ụbọchị niile ije ozi mgbe niile, dịka ọrụ ụbọchị ọbụla si dị. 38 Obed-Edọm nwa
Jedutun so n'ime ha, ya na Hosa, na iri mmadụ isii na asatọ ọzọ. Obed-Edọm nwa
Jedutun na Hosa bụ ndị na-eche ọnụ ụzọ.
39 Devid nyefekwara Zadọk, onye nchụaja, na ndị nchụaja ibe ya, ọrụ ịnọ n'ihu
ụlọ nzute ONYENWE ANYỊ, n'ebe dị elu nke Gibiọn. 40 N'ihi ịchụ aja nsure ọkụ mgbe
niile n'elu ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ, ụtụtụ na anyasị niile
n'usoro dịka e si dee ya n'akwụkwọ iwu ONYENWE ANYỊ, nke o nyere ndị Izrel. 41 Devid
họpụtakwara Heman, na Jedutun, na ndị ọzọ a kpọrọ aha họpụta inye ONYENWE ANYỊ
ekele, "n'ihi ịhụnanya ya na obi ebere ya nke na-adị ruo mgbe ebighị ebi." 42 Heman
na Jedutun bụ ndị ọ dịịrị ịfụ opi, na ịkụ ogene ọla, na ihe egwu ndị ọzọ eji na-enye
Chineke otuto. Ụmụ ndị ikom Jedutun bụ ndị nọ nche n'ọnụ ụzọ ama.

43 Mgbe mmemme ahụ gwụsịrị, onye ọbụla lara n'ụlọ ya. Devid lakwara ịgọzi ezinaụlọ ya.

# 17

*Nkwa Onyenwe anyị kwere Devid*

1 Mgbe Devid nọsara ahụ n'ụlọeze ya, ọ sịrị Netan onye amụma, "Lee, mụ onwe
m na-ebi n'ụlọ sida, ma igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ dị n'okpuru ụlọ ikwu."
2 Netan zaghachiri Devid, "Ihe ọbụla dị gị n'obi, mee ya, n'ihi na Chineke nọnyeere
gị."
3 Ma n'abalị ahụ, okwu Chineke rutere Netan ntị, na-asị,
4 "Gaa gwa ohu m Devid sị ya, 'Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru: Gị onwe gị agaghị
ewuru m ụlọ ebe m ga-ebi, 5 n'ihi na ebibeghị m n'ụlọ site n'ụbọchị m si n'Ijipt
kpọpụta Izrel ruo taa. Kama e sitela m n'otu ọmụma ụlọ ikwu baa na nke ọzọ,
sitekwa n'otu ebe obibi gaa ebe nke ọzọ. 6 N'ebe ọbụla m na-ejegharị n'etiti ndị
Izrel niile, ọ dị mgbe m sịrị onye ọbụla n'ime ndị ndu ha, ndị m nyere iwu ka ha
zụọ ndị m, sị, "Gịnị mere unu ewubereghị m ụlọ sida?" '
7 "Ma ugbu a, gwa Devid bụ ohu m, sị, 'Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime
ihe niile kwuru: Mụ onwe m sitere n'ọhịa ebe ịta nri nke ụmụ anụ ụlọ, sikwa
n'ebe ị na-azụ igwe ewu na atụrụ kpọpụta gị, mee gị onye na-achị ndị m Izrel.
8 Anọnyekwara m gị n'ebe ọbụla ị gara, kpochapụ ndị iro gị niile site n'ihu gị.
Ugbu a, aga m eme ka aha gị dịka aha ndị ikom dịkarịsịrị ukwuu n'ụwa. 9 Aga m
ahọpụta otu ebe n'ihi ndị m Izrel, kụkwa ha dịka osisi ka ha biri n'ebe obibi nke aka
ha, ka ha ghara ịbụkwa ndị a na-esogbu ọzọ. Ndị ajọ mmadụ agaghị emegbukwa
ha dịka ha mere na mbụ, 10 dịka ha na-emekwa siterị na mgbe m họpụtara ndị
ndu nye ndị m Izrel. Aga m eme ka ndị iro gị niile nọrọ n'okpuru gị.
" 'Ana m ekwupụtara gị na ONYENWE ANYỊ ga-ewuru gị ụlọ. 11 Mgbe ụbọchị gị
n'ụwa zuru, mgbe ị gakwuru ndị nna nna gị ha, aga m eme ka otu mkpụrụ gị bilie
nọchie ọnọdụ gị, ọ ga-abụ otu n'ime ụmụ ndị ị mụrụ. Aga m emekwa ka alaeze
ya guzosie ike. 12 Ọ bụ ya onwe ya ga-ewuru m ụlọ, aga m emekwa ka ocheeze
ya guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi. 13 Mụ onwe m ga-abụrụ ya nna, ya onwe ya
ga-abụkwara m nwa. Agaghị m ewezuga ịhụnanya m site n'ebe ọ nọ, dịka m mere
onye bu gị ụzọ chịa. 14 Aga m eme ka ọ chịa ụlọ m na n'alaeze m ruo mgbe ebighị
ebi. A ga-emekwa ka ocheeze ya bụrụ ihe guzosiri ike ruo mgbe ebighị ebi.' "
15 Netan ziri Devid ozi dịka okwu niile nke ọhụ ahụ si dị.

*Ekpere Devid*

16 Mgbe ahụ, eze Devid banyere nọdụ ala n'ihu ONYENWE ANYỊ, sị:
"Onye ka m bụ, ONYENWE ANYỊ Chineke, gịnịkwa ka ezinaụlọ m bụ, na ị mere
ka m bịaruo n'ogogo ha otu a? 17 O Chineke m, dịka a ga-asị na nke a bụ ihe dị
nta n'anya gị, ugbu a, i kwuola banyere ọdịnihu nke ụlọ ohu gị. Ma gị onwe gị
ONYENWE ANYỊ Chineke na-ele m anya dịka a ga-asị na m bụ onye ọnọdụ ya dị elu
karịchasịa nke ụmụ mmadụ niile.
18 "Gịnị ọzọ ka Devid ga-agwa gị, n'ihi nsọpụrụ i nyere ohu gị? N'ihi na ị maara
ohu gị nke ọma, 19 O ONYENWE ANYỊ, n'ihi okwu gị na dịka ọchịchọ obi gị si dị, i
meela ihe a dị ukwuu, meekwa ka ọ mata nkwa ndị a niile dị ukwuu.
20 "ONYENWE ANYỊ, ọ dịghị onye dịka gị, ọ dịkwaghị Chineke ọzọ dị ma ọ bụghị
gị, dịka anyị nụrụ ya na ntị anyị. 21 Olee ndị dịka ndị gị, bụ Izrel, bụ otu mba n'elu
ụwa ndị Chineke ha gara ịgbapụtara onwe ya ka ọ bụrụ otu ndị, na iji mere onwe
gị aha, rụọkwa ọrụ ịtụnanya dị egwu dịkwa ukwuu n'ihi ha, site n'ịchụpụ mba dị
iche iche na chi niile ha site n'ihu ndị gị, bụ ndị ị gbapụtara site n'Ijipt? 22 I mere

ka ndị gị Izrel bụrụ ndị nke gị ruo mgbe ebighị ebi. Gị onwe gị kwa, ONYENWE ANYỊ, abụrụla Chineke ha.
23 "Ma ugbu a, ONYENWE ANYỊ, mee ka nkwa a nke i kwere banyere ohu gị na ụlọ
ya bụrụ nke ga-eguzosie ike ruo mgbe ebighị ebi. Mezukwaa ihe niile dịka nkwa
gị si dị, 24 ka o nwee ike guzosie ike. Ka aha gị bụrụ ihe dị ukwuu ruo mgbe ebighị
ebi. Mgbe ahụ ndị mmadụ ga-asị, 'ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, Chineke
nke na-achị Izrel, bụ Chineke Izrel.' A ga-emekwa ka ụlọ ohu gị Devid guzosie ike
n'ihu gị.
25 "Gị onwe gị, Chineke m, e kpugheerela ohu gị na ị ga-ewuru ya ụlọ. Ya mere,
ohu gị ji nwee obi ike ikpere gị ekpere. 26 Gị onwe gị, ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke. I
kweekwala ohu gị nkwa ihe ọma ndị a. 27 Ugbu a, ọ masịrị gị ịgọzi ụlọ ohu gị, ime
ka ọ dịrị na-aga n'ihu gị ruo mgbe ebighị ebi, n'ihi na gị ONYENWE ANYỊ, agọziela
ya. Ọ ga-abụkwa ihe a gọziri agọzi ruo mgbe ebighị ebi."

# 18

*Mmeri dị iche iche Devid meriri*

1 Mgbe nke a gasịrị, Devid meriri ndị Filistia, mee ka ha nọdụ n'okpuru ọchịchị ya.
Ọ naara obodo Gat na obodo nta ndị ọzọ gbara ya gburugburu site n'aka ndị Filistia.
2 Devid merikwara ndị Moab, ha ghọrọ ndị ohu ya, na-ebutakwara ya ụtụ kwa afọ
ọbụla.
3 Devid merikwara Hadadeza eze Zoba, na nso Hamat, mgbe ọ na-aga iguzobe ogidi
eji mara ya n'akụkụ osimiri Yufretis. 4 Devid nwudere otu puku ịnyịnya ya na-adọkpụ
ụgbọ agha, puku ndị agha asaa ndị na-agba ụgbọ agha, tinyere ndị agha ji ụkwụ eje
dị iri puku abụọ. O bipụrụ akwara ụkwụ ịnyịnya ndị ahụ niile ọ dọtara n'agha, ma
hapụ naanị narị ịnyịnya.
5 Mgbe ndị Aram nke Damaskọs bịara inyere Hadadeza eze Zoba aka, Devid gburu
iri puku ndị agha abụọ na abụọ n'ime ha. 6 O wuru ogige ndị agha n'alaeze ndị Aram
nke Damaskọs, ndị Aram ghọrọ ndị ohu Devid, na-ewetakwara ya ụtụ ịnata ihuọma.
ONYENWE ANYỊ nyere Devid mmeri ebe ọbụla ọ gara.
7 Devid chịkọtara ọta ọlaedo nke ndịisi agha Hadadeza na-ebu na Jerusalem. 8 Site
na Tibhat nakwa Kun, bụ obodo ndị Hadadeza na-achị, Devid weere ọtụtụ bronz dị
ukwuu, nke Solomọn ji kpụọ Osimiri bronz ahụ, ogidi niile na ngwongwo ndị ọzọ
niile nke e ji bronz kpụọ.
9 Mgbe Tou eze Hamat nụrụ na Devid emeriela ndị agha niile nke Hadadeza, eze
Zoba, 10 o zipụrụ Hadoram nwa ya nwoke, ka ọ gaa kelee eze Devid n'ihi mmeri o
meriri Hadadeza n'agha, bụ onye ya na Tou nọ n'agha. Hadoram ji ọtụtụ akụrụngwa
nke ọlaedo, nke ọlaọcha na nke bronz dị iche iche bịa.
11 Eze Devid doro akụrụngwa ndị a niile nsọ nye ONYENWE ANYỊ, dịka o mere
ọlaọcha na ọlaedo o wetara na mba ndị a: Edọm, Moab, ndị Amọn, ndị Filistia na
Amalek.
12 Abishai nwa Zeruaya gburu puku ndị Edọm iri na asatọ na Ndagwurugwu Nnu.
13 O wuru ogige ndị agha n'Edọm, ndị Edọm niile ghọrọ ndị na-ejere Devid ozi.
ONYENWE ANYỊ nyere Devid mmeri ebe ọbụla ọ gara.

*Ndịisi ozi Devid*

14 Devid chịrị ndị Izrel niile, na-emere ndị ya ihe dị mma na ihe ziri ezi.

15 Joab nwa Zeruaya bụ onyeisi agha ya;
Jehoshafat nwa Ahilud bụ onye na-edekọta akụkọ.
16 Zadọk nwa Ahitub, na Ahimelek nwa Abịata, bụ ndị nchụaja.
Shavsha bụ ode akwụkwọ eze.

17 Benaya nwa Jehoiada bụ onyeisi ndị Keret na Pelet.
Ụmụ ndị ikom Devid bụkwa ndịisi n'ọrụ eze.

# 19

*Devid emerie ndị Amọn*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, Nahash eze ndị Amọn nwụrụ, nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ
ya. 2 Mgbe ahụ, Devid chere sị, "Aga m egosi Hanọn nwa Nahash obi ebere n'ihi na
nna ya gosiri m obi ebere." Ya mere, Devid zipụrụ ndị ozi ka ha gaa kasịe ya obi n'ihi
ọnwụ nna ya.
Mgbe ndị ozi Devid bịakwutere Hanọn n'ala ndị Amọn ịkasị ya obi, 3 ndịisi ala
Amọn sịrị Hanọn, bụ onyenwe ha, "Ị na-eche na Devid na-akwanyere nna gị ugwụ
site na izite ndị ozi ya ka ha bịa kasịe gị obi? Ọ bụ na ndị ozi ya abịakwuteghị gị,
naanị ka ha mee nledo, nyochapụta otu obodo a dị ma kwatuo ya?" 4 N'ihi nke a,
Hanọn jidere ndị ozi Devid n'ike, kpụchapụ ha ajị, bipụkwa uwe mwụda ha n'etiti
ike ha, zilaga ha.
5 Mgbe otu onye bịara zie Devid ihe banyere ndị ikom ahụ, o zipụrụ ndị ozi, ka ha
gaa zute ha, n'ihi na e mere ha ihe ihere n'ebe ọ dị ukwuu. Eze sịrị, "Nọdụnụ na
Jeriko tutu ruo mgbe afụọnụ unu tolitere, mgbe ahụ unu ga-alọta."
6 Ma mgbe ndị Amọn chọpụtara na ha abụrụla ihe ịsọ oyi n'ebe Devid nọ, Hanọn
na ndị Amọn zipụrụ otu puku talenti ọlaọcha iji gbazite ụgbọ agha na ndị na-agba
ụgbọ agha site na Aram Naharaim, na Aram Maaka, nakwa Zoba. 7 Ha goro ụgbọ
agha ọnụọgụgụ ya dị iri puku atọ, na puku abụọ. Ha gokwara eze Maaka na ndị agha
ya, ndị bịara maa ụlọ ikwu agha ha na nso Medeba, ebe ndị Amọn sikwa n'obodo ha
niile chịkọta onwe ha pụta ịlụ agha.
8 Mgbe Devid nụrụ nke a, o zipụrụ Joab na ndị agha ya niile bụ dike na dimkpa
n'agha. 9 Ndị Amọn pụtara doo onwe ha n'usoro ibu agha, n'ọnụ ụzọ ama obodo ha.
Ma ndị eze ahụ bịara agha, nọpụrụ onwe ha na mbara ala.
10 Mgbe Joab hụrụ na agha dị megide ya n'ihu na azụ, ọ họpụtara ụfọdụ ndị
ọkachamara site n'etiti ndị agha Izrel, doo ha n'usoro izute ndị Aram. 11 O tinyere
ndị ikom fọdụrụ n'okpuru ọchịchị Abishai, nwanne ya, e zipụrụ ha izute ndị Amọn
n'agha. 12 Mgbe Abishai na-apụ, Joab gwara ya okwu sị ya, "Ọ bụrụ na ndị Aram
esie ike karịa m, mgbe ahụ, ị ga-abịa napụta m. Ọ bụrụkwanụ na ndị Amọn adịrị
ike karịa gị, aga m abịa napụta gị. 13 Nwee obi ike, ka anyị lụọ ọgụ a dịka ndị dị
ike, n'ihi ndị anyị na obodo niile nke Chineke anyị. Ka Onyenwe anyị meekwa ihe dị
mma n'anya ya."
14 Mgbe ahụ, Joab na ndị agha so ya bịara nso ibuso ndị Aram agha, ha sitere
n'ihu ha gbapụ ọsọ. 15 Mgbe ndị Amọn hụrụ ka ndị Aram na-agbapụ ọsọ, ha onwe
ha gbakwaara ọsọ n'ihu Abishai, gbaba n'ime obodo. Ya mere, Joab laghachiri na
Jerusalem.
16 Ma mgbe ndị Aram hụrụ na ndị Izrel tigburu ha, ha zipụrụ ndị ozi gara kpọta ndị
Aram site n'ofe ọzọ nke Osimiri Yufretis. Ọ bụ Shofaka ọchịagha ndị agha Hadadeza
na-edu ha.
17 Mgbe a gwara Devid banyere nke a, ọ chịkọtara ndị Izrel niile, pụọ gafee Jọdan.
O gara nso imegide ha, o doro usoro agha ya na ncherita ihu ha. Devid doro usoro
ndị agha ya izute ndị Aram n'agha, ha lụsokwara ya agha. 18 Ma ha sitere n'ihu ndị
Izrel gbaa ọsọ. Devid gburu puku asaa n'ime ndị ikom na-anya ụgbọ agha, gbukwaa
iri puku ndị agha anọ ndị na-eji ụkwụ eje. O gbukwara Shofaka, bụ ọchịagha agha
ha.
19 Mgbe ndị eze niile nọ n'okpuru ọchịchị Hadadeza hụrụ na Izrel etigbuola ha, ha
mere ka ha na Devid dịrị n'udo, bụrụkwa ndị nọ n'okpuru ya.

Ya mere, ndị Aram adịghịkwa njikere inyere ụmụ Amọn aka ọzọ.

# 20

*Ndọta adọtara Raba*

1 N’oge ọkọchị, mgbe ndị eze na-apụ ibu agha, Joab duuru ndị agha pụọ ibu agha.
O bibiri ala ndị Amọn niile, gaa Raba nọchibido ya, ma Devid nọdụrụ na Jerusalem.
Joab busoro Raba agha, mee ka ọ ghọọ mkpọmkpọ ebe. 2 Devid kpupuru okpueze
nke dị eze ha n’isi, ahụtara n’ịdị arọ nke okpueze ahụ ruru kilogram ọlaedo iri atọ
na anọ, nke e ji nkume ndị dị oke ọnụahịa chọọ mma, e kpunyere ya Devid n’isi.
O sitekwara n’obodo ahụ kwakọrọ ọtụtụ ihe nkwata n’agha. 3 Ọ kpọpụtara ndị nọ
n’ebe ahụ, manye ha n’ịrụ ọrụ nke e ji mma nkwọ e ji awa osisi, na igwe e ji egwu
ala, na anyụike na-arụ. Otu a ka Devid mekwara obodo niile nke ndị Amọn. Emesịa,
Devid na ndị agha ya niile laghachiri na Jerusalem.

*Agha megide ndị Filistia*

4 Mgbe oge gatụrụ, agha ọzọ daara ha na ndị Filistia, na Gaza. Mgbe ahụ, Sibekai,
onye Husha, gburu Sipai, otu n’ime ndị agbụrụ Refaim. Nke a mere ka ndị Filistia
chilie aka ha elu, bụrụ ndị a lụgburu n’agha.

5 N’agha ọzọ ha na ndị Filistia lụrụ, Elhanan, nwa Jaịa, gburu Lami nwanne Golaịat,
onye Gat. Onye ùbe ya nwere osisi dị ogologo dịka nke onye na-ekwe akwa ji ekwe
akwa.

6 N’agha ọzọkwa, bụ nke a lụrụ na Gat, e nwere otu nwoke gbara oke dimkpa, nke
nwere mkpịsịaka isii n’aka ya ọbụla, nweekwa mkpịsịụkwụ isii n’ụkwụ ya ọbụla,
ya bụ, a gụkọtaa ha niile, iri mkpịsịaka na mkpịsịụkwụ abụọ na anọ. Ọ bụkwa onye
amụrụ n’agbụrụ Rafa. 7 Mgbe ọ kọchara Izrel, Jonatan nwa Shimea, nwanne Devid
gburu ya.

8 Ndị a bụ ndị agbụrụ Rafa dị na Gat. Devid na ndị agha ya gburu ha niile.

# 21

*Devid agụọ ndị agha ya ọnụ*

1 Ekwensu biliri megide Izrel, mgbe ọ kpaliri Devid ka ọ gụọ Izrel ọnụ. 2 Ya mere,
Devid gwara Joab na ndịisi agha okwu sị, “Gaa gụọ ụmụ Izrel niile ọnụ, site na
Bịasheba ruo Dan. Emesịa, bịa gwa m ihe ị gụtara ka m mata ole ọnụọgụgụ ha dị.”

3 Ma Joab zaghachiri, “Ka ONYENWE ANYị mee ka ndị agha ya mụbaa, otu onye narị
ụzọ karịa. Ma onyenwe m eze, ọ bụ na ndị a niile abụghị ndị nọ n’okpuru ọchịchị
onyenwe m? N’ihi gịnị ka onyenwe m ji na-achọ ime ihe a? N’ihi gịnị ka ọ ga-eji
wetara Izrel ikpe ọmụma?”

4 Ma okwu eze dị ike karịa nke Joab. Ya mere, Joab pụrụ gagharịa n’Izrel niile,
mechaa lọghachikwa na Jerusalem. 5 Joab nyere Devid ngụkọta ọnụọgụgụ nke ndị
agha Izrel niile. N’Izrel niile, ha dị otu nde, na narị puku ndị ikom ndị tozuru iji
mma agha buo agha, tinyekwara narị puku ndị ikom anọ na iri asaa n’ala Juda ndị
na-amịpụta mma agha.

6 Ma Joab agụnyeghị ndị Livayị, na ndị Benjamin n’ọnụọgụgụ ahụ, n’ihi na iwu
eze amasịghị ya n’obi n’ụzọ ọbụla. 7 Iwu banyere ọnụọgụgụ a adịghịkwa Chineke
mma n’anya. Ya mere, ọ tara ndị Izrel ahụhụ n’ihi ya.

8 Mgbe ahụ, Devid sịrị Chineke, “Emehiela m nke ukwuu site n’ihe a m mere. Ma
ugbu a, biko, arịọ m gị, wezuga ikpe ọmụma dịịrị ohu gị; n’ihi na emeela m ihe nzuzu
dị ukwuu.”

9 ONYENWE ANYỊ gwara Gad, onye ọhụ ụzọ Devid, sị, 10 "Gaa gwa Devid, 'Otu a ka
ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Ụzọ ihe atọ ka m na-eche gị n'ihu. Họrọ otu n'ime ha nke
m ga-eme ka ọ bịakwasị gị.' "
11 Ya mere Gad jekwuuru Devid sị ya, "Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, Họrọ nke
dị gị mma. 12 Oke ụnwụ nke ga-adị afọ atọ, ka ọ bụ ọnwa atọ nke mkpochapụ n'ihu
ndị iro unu, site na mma agha ha ga-eru unu ahụ, ka ọ bụ ụbọchị atọ nke mma agha
ONYENWE ANYỊ, bụ ajọ ọrịa na-efe efe ịda n'ala a, nke mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ ga-
eme ka ọ bịakwasị ala Izrel niile. Ugbu a, chee echiche, kpebie ọsịsa ị chọrọ ka m
weghachiri onye ahụ zitere m."
13 Devid sịrị Gad, "Anọ m n'oke nsogbu. Ọ ka mma ka m daba n'aka ONYENWE ANYỊ
karịa ịdaba n'aka mmadụ. N'ihi na obi ebere ya bara ụba nke ukwuu."
14 N'ihi ya, ONYENWE ANYỊ zitere ajọ ọrịa na-efe efe n'ala Izrel, iri puku ndị ikom
asaa dara nwụọ. 15 Chineke zipụrụ mmụọ ozi ị ga bibie Jerusalem, ma dịka mmụọ ozi
ahụ na-eme nke a, ONYENWE ANYỊ hụrụ ya, o wutere ya n'ihi mbibi ahụ. Ọ sịrị mmụọ
ozi ahụ nke na-ebibi ndị mmadụ, "O zuola! Seghachi aka gị." Mgbe ahụ, mmụọ ozi
ONYENWE ANYỊ na-eguzo n'ebe ịzọcha ọka Arauna onye Jebus.
16 Mgbe Devid leliri anya elu hụ mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ ka o guzo n'etiti mbara
eluigwe na ụwa, hụkwa mma agha o ji, nke o chere ihu ya na Jerusalem, ya na ndị
okenye Izrel yi akwa mkpe, dara n'ala kpuo ihu n'ala.
17 Devid sịrị Chineke, "Ọ bụghị m nyere iwu ka a gụọ ndị tozuru ibu agha ọnụ?
Ọ bụ mụ onwe m, mụ bụ onye ọzụzụ atụrụ, mehiere mee ajọ omume. Ma ndị a bụ
naanị ụmụ atụrụ, gịnị kwanụ ka ha mere? ONYENWE ANYỊ Chineke m, biko ekwela
ka ọrịa a na-efe efe nọgide n'ahụ ndị gị, ka aka gị dịgide naanị n'ahụ m, dịgidekwa
n'ahụ ndị ụlọ m."

### *Devid e wuo ebe ịchụ aja*

18 Mgbe ahụ, mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ nyere Gad iwu ka ọ gwa Devid, ka ọ gaa
wuore ONYENWE ANYỊ ebe ịchụ aja n'ebe ịzọcha ọka Arauna, onye Jebus. 19 Ya mere,
Devid rubere isi gaa dịka okwu ahụ Gad kwuru n'aha ONYENWE ANYỊ.
20 Mgbe Arauna nọ n'ebe ịzọcha ọka, ọ tụgharịrị hụ mmụọ ozi ahụ, ụmụ ya ndị
ikom anọ ndị so ya guzo n'ebe ahụ zoro onwe ha. 21 Mgbe Devid bịakwutere Arauna,
Arauna weliri anya hụ ya, ọ hapụrụ ebe ịzọcha ọka ahụ, bịa kpọọ isiala nye Devid,
kpudokwa ihu ya n'ala.
22 Devid sịrị ya, "Nye m ebe a, bụ ala ebe ịzọcha ọka gị, ka m nwee ike wuore
ONYENWE ANYỊ ebe ịchụ aja, ka akwụsị ọrịa a na-efe efe dakwasịrị ndị mmadụ. Resi
m ya n'ọnụ ahịa o ruru."
23 Ma Arauna zara sị Devid, "Were ya ka onyenwe m eze mee ihe ọbụla dị ya n'obi.
Aga m enye ehi maka iji chụọ aja nsure ọkụ, ihe nzọcha ọka niile ka ha bụrụ nkụ na
ọka wiiti maka ịchụ aja mkpụrụ ọka. Aga m enye ha niile."
24 Ma eze Devid zaghachiri Arauna, "ee, aghaghị m ịkwụzu gị ọnụahịa ya. N'ihi na
agaghị m ewere ihe bụ nke gị nye ya ONYENWE ANYỊ, maọbụ chụọ aja nsure ọkụ nke
na-agaghị efu m ihe ọbụla."
25 Ya mere, Devid kwụrụ Arauna narị shekel ọlaedo isii iji zụrụ ebe ahụ. 26 Devid
wuru ebe ịchụrụ ONYENWE ANYỊ aja n'ebe ahụ, chụọkwa aja nsure ọkụ na aja udo. Ọ
kpọkuru ONYENWE ANYỊ, ONYENWE ANYỊ zakwara ya, site n'ọkụ nke si n'eluigwe daa
n'elu ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ ahụ.
27 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ nyere mmụọ ozi ahụ iwu ka o tinyekwa mma agha
ya n'ọbọ ya. 28 Mgbe Devid hụrụ na ONYENWE ANYỊ azala ekpere ya n'ebe ịzọcha
ọka nke Arauna onye Jebus, ọ chụkwara aja ọzọ nye ONYENWE ANYỊ. 29 Ụlọ ikwu
ONYENWE ANYỊ na ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ ahụ Mosis wuru n'ọzara dị n'ebe dị

elu Gibiọn, n'oge ahụ. 30 Ma Devid ejerughị ebe ahụ ịjụta Chineke ase, n'ihi na ụjọ
tụrụ ya mgbe ọ hụrụ mma agha ahụ dị n'aka mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ.

# 22

1 Mgbe ahụ, Devid sịrị, "Ebe a ka a ga-ewuru ONYENWE ANYỊ Chineke ụlọ, nakwa
ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ nye Izrel."

### *Nkwado maka iwu Ụlọnsọ ukwu*

2 Ya mere, Devid nyere iwu ka a kpọkọta ndị ọbịa niile bi n'Izrel, site n'etiti ha
ọ họpụtara ndị ga-edozi nkume a wara awa nke e ji wuo ụlọ Chineke. 3 Devid
wetara ọtụtụ igwe dị ukwuu, nke ha ji akpụta ǹtu maka ibo ọnụ ụzọ ama niile,
na nke ịkpụ ihe njikọta niile. O wetakwara bronz a na-apụghị ịkọwa ịdị arọ ya. 4 O
webatakwara osisi sida n'apụghị ịgụta ọnụọgụgụ ha, n'ihi na ndị Taịa na Saịdọn
butere ha n'ọnụọgụgụ riri nne nye Devid.

5 Mgbe ahụ, Devid kwuru, "Solomọn nwa m bụ nwantakịrị, onye na-amachabeghị
ihe. Ma ụlọnsọ a ga-ewuru ONYENWE ANYỊ ga-abụ ụlọ dị ukwuu, nke ga-enwe aha a
ma ama, na nke mara ezi mma n'anya mba niile dị n'ụwa. N'ihi ya, aga m akpakọba
ihe niile e ji ewu ya." Ya mere, tupu Devid anwụọ, ọ kwakọtara ngwongwo riri nne.

6 Ọ kpọrọ Solomọn, bụ nwa ya, nye ya iwu iwuru ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nke
Izrel ụlọ. 7 Devid gwara Solomọn sị, "Nwa m, ọ dị m n'obi* iwu ụlọ maka aha
ONYENWE ANYỊ bụ Chineke m, 8 ma okwu ONYENWE ANYỊ ndị a ruru m ntị sị m, 'Ị
wụsịala ọtụtụ ọbara, bukwaa ọtụtụ agha. Ị gaghị ewu ụlọ nye Aha m, n'ihi na ị
wụsịala ọtụtụ ọbara n'elu ala n'ihu m. 9 Ma ị ga-amụta otu nwa nwoke onye ga-abụ
mmadụ udo, na onye ga-enwe izuike n'oge ya. Aga m enye ya izuike site n'aka ndị
iro ya n'akụkụ niile. Aha ya ga-abụ Solomọn. Aga m enye Izrel udo na ahụ dị jụụ
n'oge ọchịchị ya. 10 Ya onwe ya ga-ewuru m ụlọ ahụ. Ọ ga-abụrụ m nwa, mụ onwe
m ga-abụkwara ya nna. Aga m emekwa ka ocheeze alaeze ya n'Izrel guzosie ike ruo
mgbe ebighị ebi.'

11 "Ya mere, ugbu a nwa m, ka ONYENWE ANYỊ nọnyere gị mgbe ị ga-ewu ụlọ
ONYENWE ANYỊ Chineke gị, dịka o kwuru na ị ga-eme. 12 ONYENWE ANYỊ nyekwa gị
amamihe na nghọta nke ị ga-eji chịa ezi ọchịchị mgbe ị ghọrọ eze Izrel, ka i si otu a
debe iwu ONYENWE ANYỊ Chineke gị. 13 Mgbe ahụ, ị ga-enwe ọganihu, ma ọ bụrụ na i
lezie anya idebe iwu na ụkpụrụ niile nke ONYENWE ANYỊ nyere Mosis maka Izrel. Dị
ike, nwee obi ike. Atụla ụjọ, maọbụ daa mba.

14 "Ejisiela m ike chịkọtaa ihe maka ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, narị puku talenti ọlaedo
na nde talenti ọlaọcha, na igwe, na bronz, nke a na-apụghị ịgụta ịdị arọ ha, na osisi,
na nkume. I nwere ike itinyekwa ihe ndị ọzọ n'ime ha. 15 Lee, i nwekwara ọtụtụ ndị
ọrụ ndị na-awa nkume, na ndị na-edo nkume, na ndị ọka osisi, na ndị a maara aha
ha n'ihe gbasara ǹka n'ọrụ dị iche iche, 16 ọlaedo, na ọlaọcha, na bronz, na igwe, ndị
ọrụ n'enweghị ọnụọgụgụ. ONYENWE ANYỊ aghaghị ịnọnyere gị. Bilie, rụọ ọrụ dịịrị
gị."

17 Devid nyere ndịisi Izrel iwu ka ha nyere nwa ya Solomọn aka, mgbe ọ ga-ewu
ụlọ ahụ. 18 Ọ gwara ha okwu sị, "Ọ bụ na ONYENWE ANYỊ Chineke anọnyereghị unu?
Ọ bụ na o nyebeghị unu udo n'akụkụ niile? N'ihi na o nyela m mmeri n'ebe ndị iro m
nọ. Ugbu a, ala a dịkwa n'aka ONYENWE ANYỊ na n'aka ndị ya. 19 Ya mere, tinyenụ obi
unu na mmụọ unu n'ịgbaso ONYENWE ANYỊ Chineke unu. Malitekwanụ iwu ụlọnsọ
ONYENWE ANYỊ Chineke, ka unu nweekwa ike ibubata igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE
ANYỊ, na ihe nsọ ndị ọzọ n'ime ụlọnsọ ukwu ahụ a ga-ewu n'ihi Aha ONYENWE ANYỊ."

* **22:7** 22:7 Maọbụ, ọ gụrụ m agụụ

# 23

*Ndị Livayị*

1 Mgbe Devid ghọrọ nnọọ agadi, ụbọchị ndụ ya jukwara ya afọ, o mere Solomọn
nwa ya, eze Izrel.
2 N'oge a, ọ kpọkọtara ndị ndu Izrel niile, tinyekwara ndị nchụaja na ndị Livayị.
3 A gụrụ ndị Livayị niile ọnụ, bụ ndị gbara iri afọ atọ gbagoo, chọpụta na ha dị iri
puku ndị ikom atọ na asatọ n'ọnụọgụgụ. 4 Devid sịrị, "N'ime ndị a, ka iri puku ndị
ikom abụọ na anọ bụrụ ndị ga-ahụ maka ọrụ ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, puku ndị
ikom isii a bụrụ ndịisi na ndị ikpe, 5 puku ndị ikom anọ abụrụ ndị nche ọnụ ụzọ ama,
ebe puku ndị ikom anọ ndị ọzọ ga-eji ihe egwu dị iche iche nke m kwadobere maka
ito Onyenwe anyị, na-eto ya."

6 Devid kewara ndị Livayị n'oke, n'oke dịka ụmụ ndị ikom Livayị si dị:
Geshọn, Kohat na Merari.

*Ikwu Geshọn*

7 E kekwara ikwu Geshọn ụzọ abụọ dịka ụmụ ya si dị,
Ladan na Shimei.
8 Ndị sitere n'ezinaụlọ Ladan dị ndị ikom atọ:
Jehiel, onyeisi ha, Zetam na Juel.
9 Ụmụ Shimei bụ,
Shelomot, Haziel na Haran, ha dị ndị ikom atọ.
Ndị a niile bụ ndịisi ezinaụlọ n'ikwu Ladan.
10 Ụmụ Shimei bụ,
Jahat, Ziza,* Jeush na Beriya.
Ha dị ndị ikom anọ.
11 Jahat bụ onye mbụ, Ziza onye nke abụọ. Ma Jeush na Beriya amụtaghị ọtụtụ
ụmụ ndị ikom. N'ihi ya, a gụnyekọtara ha dịka otu ezinaụlọ, kenye ha otu ọrụ.

*Ikwu Kohat*

12 Ụmụ ndị ikom Kohat bụ
Amram, Izha, Hebrọn na Uziel. Ha dị ndị ikom anọ.
13 Ụmụ ndị ikom Amram bụ,
Erọn na Mosis.
Erọn ka e kewapụrụ iche, ido ya nsọ ya na ụmụ ya ruo ebighị ebi, maka ido
ihe niile kachasị nsọ nsọ, ịchụ aja n'ihu Onyenwe anyị, ije ozi n'ihu ya nakwa
ikwupụta ngọzị n'aha ya ruo ebighị ebi. 14 Ụmụ Mosis, onye nke Chineke ka a
gụnyekọtara dịka ndị si n'ebo Livayị.
15 Ụmụ ndị ikom Mosis bụ,
Geshọm na Elieza.
16 Ụmụ ndị ikom Geshọm bụ
Shubuel, onye mbụ.
17 Ụmụ ụmụ Elieza bụ
Rehabaya onye mbụ.
Elieza amụtaghị ụmụ ndị ikom ọzọ, ma ụmụ ndị ikom Rohabaya dị ọtụtụ.
18 Ụmụ ndị ikom Izha bụ
Shelomit onye mbụ.
19 Ụmụ ndị ikom Hebrọn bụ
Jereaya onye mbụ, na Amaraya, onye nke abụọ,
Jahaziel onye nke atọ, na Jekameam, onye nke anọ.

* **23:10** 23:10 N'ime ọtụtụ akwụkwọ Hibru ihe a na-ede bụ Zina

20 Ụmụ ndị ikom Uziel bụ
Maịka, onye mbụ, na Ishaya, onye nke abụọ.

### *Ikwu Merari*

21 Ụmụ ndị ikom Merari bụ
Mahali na Mushi
Ụmụ ndị ikom Mali bụ
Elieza na Kish
22 Elieza nwụrụ na-amụtaghị ụmụ ndị ikom. Ọ bụ naanị ụmụ ndị inyom ka ọ
mụtara. Ụmụ nwanne nna ha, ụmụ ndị ikom Kish, lụrụ ha.
23 Ụmụ ndị ikom Mushi bụ
Mahali, Eda na Jeremot. Ha dị ndị ikom atọ.

24 Ndị a bụ ụmụ ụmụ Livayị dịka ezinaụlọ ha si dị, ndịisi ezi, dịka e si debanye
aha, na dịka e si gụọ ha ọnụ n'otu n'otu, ya bụ ndị na-arụ ọrụ n'ụlọnsọ
ukwu Onyenwe anyị, ndị gbara iri afọ abụọ gbagoo. 25 N'ihi na Devid
kwuru sị, "Ebe ọ bụ na Onyenwe anyị, Chineke Izrel enyela ndị ya udo, ebe
ọ bụkwa na ọ ga-ebi na Jerusalem ruo ebighị ebi. 26 Ugbu a, ọ dịkwaghị
mkpa ọ dị na ndị Livayị ga na-ebugharị ụlọ ikwu, maọbụ ngwongwo ọbụla
nke ije ozi niile ya." 27 Ịgụ ndị Livayị ọnụ bụ otu n'ime ihe ikpeazụ Devid
mere tupu ọ nwụọ. A gụrụ ndị Livayị gbara iri afọ abụọ gbagoo ọnụ.

28 Ọrụ e nyere ndị Livayị niile bụ inyere ụmụ Erọn ndị nchụaja aka n'ofufe n'ụlọnsọ
ukwu Onyenwe anyị: ilekọta ogige, na ọnụụlọ nta ndị dị n'akụkụ ya niile, na ime ka
ihe nsọ niile dị ọcha, na ịrụ ọrụ ọbụla e nyere ha n'ụlọ Chineke. 29 Ọ bụkwa ọrụ ha
iwebata achịcha a na-eche n'ihu Chineke, na ụtụ ọka e ji enye onyinye mkpụrụ ọka,
na achịcha mbadamba a na-ejighị ihe na-eko achịcha mee. Ọrụ ha bụkwa ịgwakọta
ihe e ji eme achịcha, na ighe ya, na ilekọta ihe ọtụtụ niile e ji atụ ihe. 30 Ụtụtụ
ọbụla, na anyasị ọbụla, ọ bụ ọrụ ha iguzo n'ihu Onyenwe anyị ịbụ abụ otuto, na
ekele. 31 Ha na-enyekwa aka n'ihe gbasara aja nsure ọkụ a na-achụ n'ụbọchị izuike,
na n'oge mmemme ọnwa ọhụrụ, na mmemme ndị ọzọ niile a kara aka. Mgbe niile
ka ha ga-eje ozi ha n'ihu Onyenwe anyị dịka usoro ha na ọnụọgụgụ ha si dị.
32 Ya mere, e tinyere ọrụ ilekọta ụlọ nzute Onyenwe anyị, na ụlọnsọ ukwu ahụ
n'aka ha. Ha ka ọ dịkwara inyere ndị ikwu ha, bụ ndị nchụaja ahụ, ụmụ Erọn, aka
n'ọrụ ha niile n'ụlọnsọ ukwu ahụ.

## 24

### *Ndị nchụaja na ọrụ ha dị iche iche*

1 Ndị a bụ otu e si kenye ụmụ Erọn ọrụ ije ozi ha:
Ụmụ ndị ikom Erọn bụ Nadab, na Abihu, na Elieza, na Itama. 2 Ma Nadab na
Abihu nwụrụ tupu nna ha anwụọ. Ha amụtaghị ụmụ ndị ikom, ya mere, Elieza
na Itama jere ozi dịka ndị nchụaja. 3 Devid kewara ha dịka usoro ije ozi ha ga-esi
dị. Ọ bụ Zadọk onye ikwu Elieza, na Ahimelek onye ikwu Itama nyeere Devid aka
ime nke a. 4 Ọnụọgụgụ ndị ndu a chọtara n'ikwu Elieza karịrị ọnụọgụgụ ndị ndu a
chọtara n'ikwu Itama. N'ihi ya, e sitere n'ikwu Elieza nweta ndịisi ezinaụlọ iri na
isii, sitekwa n'ikwu Itama nweta ndịisi ezinaụlọ asatọ. 5 E kere ha na-eleghị onye
ọbụla anya n'ihu, site n'ife nza, n'ihi na e nwere ndịisi ozi ebe nsọ, nweekwa ndịisi
ozi Chineke n'etiti ndị ikwu Elieza na Itama.
6 Ode akwụkwọ Shemaya, nwa Netanel, onye Livayị, dekọtara aha ndị a niile n'ihu
eze, na ndịisi ozi eze, ya bụ, Zadọk onye nchụaja, na Ahimelek nwa Abịata, na ndịisi

ezi ndị nchụaja, na nke ndị Livayị. E sitere n’ikwu Elieza, họrọ otu ezinaụlọ, sitekwa
n’ikwu Itama họrọ otu ezinaụlọ.

7 Nza nke mbụ mara Jehoiarib
nke abụọ a maa Jedaya
8 nke atọ, Harim
nke anọ, Seorim
9 nke ise, Malkija
nke isii, Mijamin
10 nke asaa, Hakoz
nke asatọ, Abija
11 nke itoolu, Jeshua
nke iri, Shekanaya
12 nke iri na otu, Eliashib
nke iri na abụọ, Jakim
13 nke iri na atọ, Hupa
nke iri na anọ, Jeshebeab
14 nke iri na ise, Bilga
nke iri na isii, Imea
15 nke iri na asaa, Hezia
nke iri na asatọ, Hapizez
16 nke iri na itoolu, Petahaya
nke iri abụọ, Jehezkel
17 nke iri abụọ na otu, Jakin
nke iri abụọ na abụọ, Gamul
18 nke iri abụọ na atọ, Delaya
nke iri abụọ na anọ, Maazaya.

19 Otu a ka e si keere ha usoro ije ozi ha mgbe ha batara n’ụlọnsọ ukwu ONYENWE
ANYỊ. E mere ya dị ka ụkpụrụ nna nna ha Erọn nyere ha si dị, dịka ONYENWE ANYỊ,
Chineke Izrel si nye ya n’iwu.

### *Ndị ndu ọzọ e nwere n’ebo Livayị*

20 Ndị a bụkwa ndị ndu a họpụtara n’ebo Livayị:

Site n’ụmụ Amram, a họpụtara Shubuel.
Site n’ụmụ Shubuel a họpụtara Jehdeia.
21 Site n’ụmụ Rehabaya, onye mbụ a họpụtara bụ Ishaya.
22 Site na ndị Izha a họpụtara Shelomot.
Sitekwa n’ụmụ Shelomot a họpụtaara Jahat.
23 Site n’ụmụ Hebrọn a họpụtara
Jeraya, nwa mbụ ya, Amaraya nwa nke abụọ ya, Jahaziel nwa nke atọ ya na Jekameam nwa nke anọ ya.
24 A họpụtara Maịka nwa Uziel,
sitekwa n’ụmụ Maịka họpụta Shamia.
25 A họpụtara nwanne Maịka nke nwoke aha ya bụ Ishaya,
sitekwa n’ụmụ Ishaya họpụta Zekaraya.
26 Site n’ụmụ Merari e nwere Mahali na Mushi.
A họpụtakwara Beno nwa Jaazia.
27 Sitekwa n’ụmụ Merari a họpụtara ụmụ Jaazia ndị a:
Beno, Shoham, Zakua na Ibri.

28 Site n'ụmụ Mahali a họpụtara Elieza, ma Elieza n'onwe ya amụtaghị nwa nwoke.
29 Site n'ụmụ Kish a họpụtara Jerameel.
30 Site n'ụmụ Mushi, a họpụtara Mahali, na Eda na Jerimot.

Ndị a niile bụ ndị Livayị dịka ezinaụlọ ha si dị.

31 Dịka e mere mgbe a na-ahọpụta ụmụ Erọn, e ji ife nza kenye ha niile ọrụ ha
kwesiri ịrụ n'otu n'otu, onye ukwu ha na onye nta ha. E mere ya n'ihu eze Devid,
na Zadọk, na Ahimelek, na ndịisi ezinaụlọ ndị nchụaja na ndị Livayị niile. Mgbe a
na-efe nza a, e mesoro ndị ikom niile otu mmeso, ma okenye ha ma ndị na-etolite
etolite.

# 25

*Ndị na-abụ abụ*

1 Devid na ndịisi agha ndị Izrel họpụtara ndị ga na-ebu amụma mgbe ndị ji ụbọ
akwara, une na ogene na-eti egwu. Ha sitere n'ụmụ Asaf, Heman na Jedutun, họpụta
ha. Ndị a bụ aha ndị rụrụ ọrụ nke a:

2 Ndị amụma na-ebu amụma, ndị nke bụ ụmụ Asaf:
Zakua, Josef, Netanaya na Asarela bụ ụmụ Asaf nọ n'okpuru Asaf, onye nọ n'okpuru eze bụ onyeisi ha.
3 Ma nye Jedutun, ụmụ ndị ikom ya:
Gedaliya, Zeri, Jeshaya, Shimei, Hashabaya na Matitaia. Ha dị isii n'ọnụọgụgụ nọrọ n'okpuru nna ha bụ Jedutun, onye na-ebu amụma, na-eji une na-enye ONYENWE ANYỊ ekele na otuto.
4 Ma nye Heman, ụmụ ndị ikom ya:
Bukaya, Matanaya, Uziel, Shubuel, Jerimot, Hananaya, Hanani, Eliata, Gidalti,
Romamti-Eza, Joshbekasha, Maloti, Hotia, na Mahaziot. 5 Ndị a niile bụ ụmụ
Heman, onye bụ ọhụ ụzọ eze. Dịka nkwa Chineke kwere maka ibuli ya elu,
Chineke nyere ya ụmụ ndị ikom iri na anọ, na ụmụ ndị inyom atọ.

6 Ụmụ ndị ikom ndị a niile nọ n'okpuru nna ha, maka ịbụ abụ n'ụlọ ONYENWE ANYỊ
na-eji ịkpọ ụbọ na une na iti ọla na-ada ụda, n'ihi ofufe ụlọ Chineke.
Asaf, na Jedutun, na Heman nọkwa n'okpuru nlekọta eze. 7 Ọnụọgụgụ ha tinyere
ụmụ nne ha ndị e nyere ọzụzụ n'ihe gbasara abụ, bụ ndị nwere nghọta n'ihe banyere
abụ a na-abụku ONYENWE ANYỊ, dị narị abụọ, na iri asatọ na asatọ (288). 8 Ha ji ife
nza kee ọrụ ha, ma onye ukwu ma onye nta n'ime ha, ndị nwere nghọta ma ndị a
na-azụ azụ, n'otu aka ahụ.

9 Nza nke mbụ e fere mara Josef nwa Asaf, ya na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
Nke abụọ, Gedaliya na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
10 Nke atọ, Zakua na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
11 Nke anọ, Izri na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
12 Nke ise, Netanaya na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
13 Nza nke isii mara Bukaya, na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
14 Nke asaa, Jesarela na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).

15 Nke asatọ, Jeshaya na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
16 Nke itoolu, Matanaya na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
17 Nke iri, Shimei na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
18 Nke iri na otu, Azarel na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
19 Nza nke iri na abụọ mara Hashabaya, na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
20 Nke iri na atọ, Shubuel na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
21 Nke iri na anọ, Matitaia na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
22 Nke iri na ise, Jeremot na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
23 Nke iri na isii, Hananaya na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
24 Nke iri na asaa, Joshbekasha na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
25 Nza nke iri na asatọ mara Hanani, na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
26 Nke iri na itoolu, Maloti na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
27 Nke iri abụọ, Eliata na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
28 Nke iri abụọ na otu, Hotia na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
29 Nke iri abụọ na abụọ, Gidalti na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
30 Nke iri abụọ na atọ, Mahaziot na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).
31 Ebe nza nke iri abụọ na anọ mara Romamti-Eza, na ụmụ ya ndị ikom na ụmụnne ya. Ha niile dị iri na abụọ (12).

# 26

*Ndị nche ọnụ ụzọ*

1 Usoro otu ndị nche ọnụ ụzọ ụlọnsọ ahụ.

Site na ndị Kora:
Meshelemaia, nwa Kore, otu n’ime ụmụ Asaf. 2 Meshelemaia nwekwara ụmụ ndị ikom:
nke mbụ bụ Zekaraya, na Jediael nke abụọ,
Zebadaya, bụ nke atọ, Jatniel, nke anọ
3 Elam, nke ise na Jehohanan, bụ nke isii
na Eliehoenai bụ onye nke asaa.
4 Obed-Edọm nwekwara ụmụ ndị ikom. Ha bụ ndị a:
Shemaya, nwa mbụ ya, Jehozabad, osote ya,
Joa, nke atọ, Saka, bụ onye nke anọ
Netanel, nke ise, 5 Amiel, nke isii
Isaka, nke asaa na Peuletai, onye bụ onye nke asatọ.
N’ihi na Chineke gọziri Obed-Edọm.

6 Shemaya, nwa ya mụtakwara ụmụ ndị ikom, ndị bụ ndị ndu n'ezinaụlọ nna ha,
n'ihi na ha bụ dike na dimkpa. 7 Ụmụ ndị ikom Shemaya bụ,
Otni, Refael, Obed na Elzabad;
ụmụnne ya bụ Elihu na Semakaya bụkwa dike na dimkpa.
8 Ndị a niile bụ ụmụ ụmụ Obed-Edọm; ha na ụmụ ha ndị ikom, na ndị ikwu
ha niile bụ dimkpa ndị nwere ike ịrụ ọrụ ahụ. Ha niile bụ ụmụ ụmụ Obed-
Edọm. Ha dị iri isii na abụọ (62) n'ọnụọgụgụ.
9 E sitekwara n'ezinaụlọ Meshelemaia họpụta ndịisi iri na asatọ (18) ndị
bụkwa ezi ndị ndu.

10 Hosa, nwa Merari nwekwara ụmụ ndị ikom:
Shimri onye nke mbụ (ọ bụ ezie na ọ bụghị ọkpara ya ma nna ya họpụtara ya
ka ọ bụrụ onye mbụ).
11 Hilkaya, nke abụọ, Tebalaya, nke atọ
na Zekaraya onye nke anọ.
Ụmụ ndị ikom na ụmụnne Hosa nwere dị iri na atọ (13).

12 E kere ndị nche ụlọnsọ ukwu niile n'otu n'otu. Otu ndị a nwekwara ndịisi.
E kenyekwara otu ọbụla ọrụ dịka e si kenye ụmụnna ha ọrụ ha n'ụlọnsọ
ukwu ONYENWE ANYỊ. 13 E sitere n'ife nza kenye ma nwantakịrị ma okenye,
ọnụ ụzọ ha ga-eche nche, dịka ezinaụlọ ha si dị.
14 Site n'ife nza, Shelemaya ketara iche ọnụ ụzọ dị n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nche.
Zekaraya nwa ya, onye ndụmọdụ nwere uche, sitekwara n'ife nza keta iche ọnụ
ụzọ dị n'akụkụ ugwu, ya na ndị otu ya.
15 Obed-Edọm na ndị otu ya na-eche ụzọ dị na ndịda. Ụmụ ya bụ ndị na-eche ụlọ
ebe a na-achịkọta ihe.
16 Shupim na Hosa na-eche ọnụ ụzọ dị n'ọdịda anyanwụ ya na ọnụ ụzọ ama
Shaleket nke dị n'ụzọ elu elu.

Ndị nche na-esota ndị nche ibe ha.
17 Ya mere, ọ bụ ndị Livayị isii na-eche nche n'ọnụ ụzọ dị n'akụkụ ọwụwa anyanwụ
ụbọchị niile.
Mmadụ anọ na-anọ n'ugwu,
anọ na ndịda,
abụọ n'ebe a na-achịkọbata ihe.
18 N'ogige nke dị n'ọdịda anyanwụ e nwere ndị nche anọ n'ụzọ, ndị nche abụọ ọzọ
n'ime ogige n'onwe ya.

19 A họpụtara ndị nche ndị a site n'ikwu Kora na Merari.

*Ndị nche ụlọakụ na ndị ọrụ ọzọ*

20 Ụfọdụ ndị Livayị ka e nyefere ọrụ ilekọta ụlọakụ, na ụlọ a na-echekọta onyinye
niile e doro nsọ nke e webatara n'ụlọnsọ ukwu Chineke.
21 Ndị agbụrụ Ladan, ndị si n'ikwu Geshọn, ndị bụ ndịisi ezinaụlọ nna ha Ladan,
bụ onye Geshọn, bụ Jehieli, 22 na ụmụ ndị ikom Jehieli, Zetam na nwanne ya nwoke
Juel. Ndị a bụ ndị na-elekọta ụlọakụ niile dị n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ.

23 Site na ndị Amram, na ndị Izha, na ndị Hebrọn, na ndị Uziel.

24 Shubuel nwa Geshọm, na nwa nwa Mosis ka e nyere ọrụ ịbụ onyeisi ụlọakụ dị
n'ụlọnsọ ahụ. 25 Ụmụnna ya site na Elieza bụ ndị a, Rehabaya nwa ya nwoke,

Jeshaya nwa nwoke Rehabaya, Joram nwa nwoke Jeshaya na Zikri nwa nwoke Shelomit.
26 Shelomit na ụmụnna ya ka ọ dị n'aka ilekọta ụlọakụ nke ihe nsọ niile, nke Devid bụ eze, na ndịisi ezinaụlọ niile, ndị bụ ndịisi agha na-achị ọtụtụ puku ndị agha, na ndịisi agha na-achị ọtụtụ narị ndị agha, na ndịisi agha ndị ọzọ,
doro nsọ. 27 Ụfọdụ ihe agha na ihe sitere n'ihe a kwatara n'agha ka ha doro
nsọ maka idozi ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ. 28 Ya na ihe niile nke Samuel, bụ onye ọhụ ụzọ, na Sọl, nwa Kish na Abna, nwa Nea na Joab, nwa Zeruaya na ihe niile ndị ọzọ e doro nsọ. Ọ bụ n'aka Shelomit na ụmụnna ya ka ọ dị ilekọta ha.
29 Site n'ikwu Izha,
Kenaniya, na ụmụ ndị ikom ya ka ozi dịrị pụọ n'ụlọnsọ, dịka ndịisi na ndị ikpe nye ndị Izrel.
30 Site na ndị Hebrọn,
Hashabaya na ụmụnna ya ndị bụkwa dimkpa, ọnụọgụgụ ha dị otu puku na narị asaa, ka e mere ndịisi ala Izrel dị n'akụkụ ọdịda anyanwụ osimiri Jọdan. Ihe
niile banyere ọrụ ONYENWE ANYỊ, na ijere eze ozi dị ha n'aka. 31 Jeraya bụ
onyendu ndị Hebrọn, dịka akwụkwọ e dekọrọ usoro ọmụmụ si gosi.
N'ihi na n'afọ nke iri anọ nke ọchịchị eze Devid n'Izrel, ka e mere nnyocha n'akwụkwọ usoro ọmụmụ chọpụta na e nwere ndị dị ike ọrụ n'etiti ndị Hebrọn.
A chọpụtara ndị a n'obodo Jeza nke dị na Gilead. 32 Jeraya nwere ndị ikwu ya,
ndị bụ dimkpa, na ndị dị ike ọrụ, ọnụọgụgụ ha dị puku abụọ na narị asaa. Ndị a niile bụkwa ndị ndu ezinaụlọ dị iche iche. Ya mere, Devid, eze Izrel, mere ha ndịisi ebo Ruben, na ebo Gad, na ọkara ebo Manase. Ọrụ ha bụ ilekọta ihe banyere ofufe Chineke na ije ozi niile metụtara eze.

# 27

*Usoro ndị agha na ndị ndu*

1 Nke a bụ usoro ndị Izrel, dịka ọnụọgụgụ ha si dị, ndịisi ezinaụlọ, na ndị ọchịagha na-achị ọtụtụ puku ndị agha, ndị ọchịagha na-achị ọtụtụ narị ndị agha, na ndịisi ozi ha, bụ ndị na-ejere eze ozi n'ihe niile gbasara nkewa e kewara ndị agha dịka ịrụ ọrụ ha si dị n'ọnwa n'ọnwa n'ime ọnwa niile nke afọ. Nkewa ọbụla nwere ndị agha ọnụọgụgụ ha dị iri puku ndị agha abụọ na anọ (24,000).

2 Ndị a bụ aha ọchịagha na-achị ndị agha n'ọnwa ọbụla. Onyeisi nkewa nke mbụ, maka ọnwa nke mbụ bụ Jashobeam nwa Zabdiel. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na
nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000). 3 O si n'ikwu Perez nke dị n'ebo
Juda, ọ bụ onyeisi ndịisi agha nke ọnwa mbụ.
4 Onyeisi nkewa nke abụọ, maka ọnwa nke abụọ bụ Dodayi, nwa Ahohi bụ onyeisi agha nkewa nke abụọ. Miklot bụ onyendu otu a, ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa a bụ iri puku abụọ na anọ (24,000).
5 Onyeisi nkewa nke atọ, maka ọnwa nke atọ bụ Benaya nwa Jehoiada, onye nchụaja. Ọ bụ onyeisi, ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ
na anọ (24,000). 6 Nke a bụ Benaya ahụ bụ dike n'agha n'etiti iri ndịisi agha atọ,
ma bụrụkwa onye na-achị iri ndị agha atọ ahụ. Amizabad nwa ya ka e tinyere ilekọta nkewa nke atọ a.
7 Onyeisi nkewa nke anọ, maka ọnwa nke anọ bụ Asahel, nwanne Joab. Zebadaya nwa bụ onye nnọchiri anya ya. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000). Zebadaya nwa ya, nọchiri anya ya mgbe ọ nwụrụ.

8 Onyeisi nkewa nke ise, maka ọnwa nke ise bụ Shamhut onye Izha. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000).
9 Onyeisi nkewa nke isii, maka ọnwa nke isii bụ Ira nwa Ikesh, onye Tekoa, bụ onyeisi agha nkewa nke isii. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000).
10 Onyeisi nkewa nke asaa, maka ọnwa nke asaa bụ Helez onye Pelon. Onye sitere n'ikwu Ifrem. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000).
11 Onyeisi nkewa nke asatọ, maka ọnwa nke asatọ bụ Sibekai onye Husha. Onye sitere n'ikwu Zera. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000).
12 Onyeisi nkewa nke itoolu, maka ọnwa nke itoolu bụ Abieza onye Anatot. Onye sitere n'ikwu Benjamin. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000).
13 Onyeisi nkewa nke iri, maka ọnwa nke iri bụ Maharai onye Netofa, site n'ikwu Zera. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000).
14 Onyeisi nkewa nke iri na otu, maka ọnwa nke iri na otu bụ Benaya onye Piraton, nke ikwu Ifrem. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000).
15 Onyeisi nkewa nke iri na abụọ, maka ọnwa nke iri na abụọ bụ Heldai onye Netofa. Onye sitere n'ezinaụlọ Otniel. Ọnụọgụgụ ndị agha dị na nkewa ya bụ iri puku abụọ na anọ (24,000).

### *Ndị ndu ebo Izrel*

16 Ndị a bụ ndị ndu ebo Izrel niile:

Elieza nwa Zikri bụ onyendu ndị Ruben;
Shefataya nwa Maaka bụ onyendu ndị Simiọn;
17 Hashabaya nwa Kemuel bụ onyendu ndị Livayị;
Zadọk bụ onyendu ụmụ Erọn;
18 Elihu nwanne Devid bụ onyendu ndị Juda;
Omri nwa Maikel bụ onyendu ndị Isaka;
19 Ishmaya nwa Ọbadaya bụ onyendu ndị Zebụlọn;
Jerimot nwa Azriel bụ onyendu ndị Naftalị;
20 Hoshea nwa Azazaya bụ onyendu ndị Ifrem;
Juel nwa Pedaya bụ onyendu ọkara ebo Manase;
21 Ido nwa Zekaraya bụ onyendu ọkara ebo Manase nke ọzọ dị na Gilead;
Jaasiel nwa Abna bụ onyendu ndị Benjamin;
22 Azarel nwa Jeroham bụ onyendu ndị Dan.

Ndị a niile bụ ndị ndu ebo Izrel niile.

23 Mgbe Devid gụrụ ụmụ Izrel ọnụ. Ọ gụghị ndị gbara site n'iri afọ abụọ gbadaa
ala, n'ihi na ONYENWE ANYỊ kwere nkwa ime ka ọnụọgụgụ ụmụ Izrel baa ụba dịka
kpakpando eluigwe. 24 Joab nwa Zeruaya, agụchaghị mmadụ niile ọnụ n'ihi na
Chineke tara Izrel ahụhụ n'ihi ịgụ ọnụ a. Ya mere, e denyeghị ọnụọgụgụ mmadụ ole a gụtara n'akwụkwọ akụkọ Devid eze Izrel nwere.

### *Ndị na-elekọta ihe eze nwere*

25 Azmavet nwa Adiel, bụ onye na-elekọta ụlọ ịchịkọta ihe eze.
Ma Jonatan nwa Ụzaya bụ onyeisi ndị na-ahụ maka ụlọ nchịkọta ihe dị n'akụkụ ala ahụ niile, ma n'obodo ukwu, ma n'obodo nta, ma n'ụlọ nche ndị Izrel niile.

26 Ezri nwa Kelub bụ onye na-elekọta ubi eze na ndị na-arụ ọrụ n’ime ya.
27 Shimei onye Ramat na-elekọta ubi vaịnị niile.
Otu a kwa, Zabdi onye Sifma ka ọ dị n’aka imepụta mmanya na ichekwa ha.
28 Baal-Hanan onye Gedera na-elekọta ubi oliv na osisi sikamọ eze, nke dị n’oke ala ndị Filistia na Izrel.
Joash ka ọ dị n’aka iweta mmanụ oliv.
29 Shitrai onye Sharọn na-elekọta igwe ehi eze ndị na-ata nri na Sharọn.
Shafat nwa Adlai na-elekọta igwe ehi ndị nke dị n’ala ndagwurugwu.
30 Obil onye Ishmel nwe ilekọta ịnyịnya kamel eze.
Jehdeia onye Meronot na-elekọta ịnyịnya ibu.
31 Jaziz onye Haga bụ onyeisi na-elekọta igwe atụrụ.
Ndị a niile bụ ndịisi na-elekọta akụ niile nke eze Devid nwere.

32 Jonatan nwanne nna Devid bụ onye ndụmọdụ na nwoke nwere ezi nghọta. Ọ bụkwa ode akwụkwọ.
Jehiel nwa Hakmoni bụ onye na-elekọta ụmụ eze ndị ikom.
33 Ahitofel bụ onye na-adụ eze ọdụ.
Hushaị onye Akai bụ enyi eze.
34 Mgbe Ahitofel nwụrụ, Jehoiada nwa Benaya na Abịata nọchiri anya ya.
Joab bụ ọchịagha igwe ndị agha eze.

# 28

*Nzube Devid banyere Ụlọnsọ ukwu*

1 Devid kpọkọtara ndịisi ozi niile nke Izrel, ka ha zukọọ na Jerusalem, bụ ndị ndu
ebo Izrel niile, na ndị ọchịagha nke otu ndị agha nọ n’ọrụ eze. Ndị ọzọ bụ ndịisi agha
na-achị ọtụtụ puku ndị agha, na ndịisi agha na-achị ọtụtụ narị ndị agha, na ndịisi
ozi na-elekọta ihe niile na anụ ụlọ niile nke eze na ụmụ ya ndị ikom nwere, tinyere
ndị ozi niile nọ n’ụlọeze, na ndị bụ dimkpa na ndị niile bụ dike n’agha.
2 Eze Devid biliri kwụrụ ọtọ sị, “Geenụ m ntị, unu ụmụnna m, na ndị m. Ọ bụrịị
ihe dị m n’obi iwu ụlọ nke ga-abụ ebe izuike nye igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ,
nke ga-abụ ebe mgbakwasị ụkwụ nye Chineke anyị. Edokọtachaala m ihe e ji ewu
ya, 3 ma Chineke sịrị m, ‘Ọ bụghị gị ga-ewu ụlọ nye Aha m, n’ihi na ị bụ onye na-ebu
agha, onye wufuru ọbara site n’igbu ọtụtụ mmadụ n’agha.’
4 “Ma otu ọ dị, ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel esitela n’etiti ikwu m họpụta m, mee
m eze Izrel ruo ebighị ebi. Ọ họọrọ ebo Juda dịka onyendu. Ọ bụkwa site n’ebo Juda
ka o si họrọ ụlọ nna m, sitekwa n’etiti ụmụnne m ndị ikom họrọ m. Mee m eze Izrel.
5 ONYENWE ANYỊ enyela m ọtụtụ ụmụ ndị ikom, ma site n’ime ha ọ họpụtara Solomọn
nwa m ka ọ nọkwasị n’ocheeze nke alaeze ONYENWE ANYỊ dịka eze Izrel. 6 Ọ gwara
m, ‘Solomọn nwa gị, bụ onye ga-ewuru m ụlọ m, na ogige m niile, n’ihi na ahọpụtala
m ya ị bụrụ m nwa, aga m abụkwara ya nna. 7 Ọ bụrụkwa na o debe ihe niile m
nyere n’iwu, mezuo ha dịka o si eme n’oge a. Aga m eme ka alaeze ya dịgide ruo
ebighị ebi.’
8 “Ya mere, ugbu a ana m enye unu iwu n’ihu ndị Izrel niile, na n’ihu ọgbakọ ndị
nke ONYENWE ANYỊ, na n’ihu Chineke anyị. Kpachapụnụ anya chọpụta ma debekwa
iwu niile nke ONYENWE ANYỊ Chineke unu, ka unu nwee ike nweta ezi ala nke a; ma
nyefeekwa ya dịka ihe nketa n’aka ụmụ ụmụ unu ruo ebighị ebi.
9 “Ma gị, Solomọn nwa m, mara Chineke nke nna gị, jiri obi zuruoke, na mmụọ
nwere njikere mgbe niile fee ONYENWE ANYỊ ofufe, n’ihi na ONYENWE ANYỊ na-enyocha
obi mmadụ niile. Ọ na-aghọtakwa ihe niile anyị bu n’obi na echiche niile. Ọ bụrụ
na ị chọsie ụzọ ya ike, ị ga-achọta ya, ma ọ bụrụ na ị jụ ya, ọ ga-ajụ gị ruo ebighị

ebi. 10 Kpachapụ anya, n’ihi na ONYENWE ANYỊ ahọrọla gị iwuru ya ụlọnsọ ya. Dị ike,
rụọkwa ọrụ a e tinyere gị n’aka.”

11 Mgbe ahụ, Devid nyere Solomọn nwa ya ihe e sere gbasara otu ọ ga-esi wuo
ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ ahụ, na nke ụlọ ndị ọzọ niile ga-adị n’ime ya, na n’akụkụ
ya; ụlọakụ ya niile, na ime ụlọ elu ya, na ime ụlọ ya, na ụlọ ebe ikpuchi mmehie.
12 O nyekwara ya ihe osise gosiri ihe niile nke Mmụọ Nsọ tinyere ya n’uche banyere
ogige ụlọnsọ ukwuu ONYENWE ANYỊ ahụ, na ọnụụlọ niile dị ya gburugburu, maka ụlọ
nchịkọta akụ nke ụlọnsọ Chineke nakwa akụ niile nke e doro nsọ. 13 Devid nyekwara
Solomọn iwu otu ọ ga-esi kewaa ndị nchụaja na ndị Livayị, na iwu metụtara ọrụ ije
ozi niile nke ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, na iwu metụtara ngwongwo niile e ji eje
ozi. 14 Ọ wepụtara ọlaedo dị ukwuu maka iji ya kpụọ ngwongwo ọlaedo a ga-eji
jee ozi dị iche iche. Ọ wepụtakwara ọlaọcha dị ukwu maka iji ya kpụọ ngwongwo
ọlaọcha a ga-eji jee ozi dị iche iche. 15 Ọ wepụtara ọlaedo nke e ji akpụ iheọkụ na
ihe ịdọba iheọkụ. Wepụtakwa ọlaọcha ga-ezu ịkpụ oriọna ọlaọcha, na ihe ịdọba
ha. 16 Ọ wepụtara ọlaedo e ji akpụ tebul achịcha nsọ, na ọlaedo e ji akpụ tebul ndị
ọzọ, na ọlaọcha e ji akpụ tebul ọlaọcha. 17 Ọ wepụtara ọlaedo a nụchara anụcha
a ga-eji kpụọ ndụdụ e ji adụrụ anụ e ji chụọ aja, efere ịkwọsa mmiri na ite mmiri;
ọlaedo zuru nke e ji akpụta efere ọlaedo ọbụla, na ọlaọcha zuru nke e ji akpụta efere
ọlaọcha ọbụla, wepụtakwa ọlaọcha na ọlaedo. 18 N’ikpeazụ, o wepụtara ọlaedo a
nụchara anụcha a ga-eji kpụọ ebe ịchụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ. O nyere ya
ihe osise gosiri otu a ga-esi wuo ụgbọ agha, ya bụ, mmụọ ozi cherubim ndị ahụ e ji
ọlaedo kpụọ, ndị gbasapụrụ nku ha n’elu igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ.

19 Devid kwuru sị, “E deela ihe niile gbasara osise ụlọnsọ ukwu a n’akwụkwọ nke m
sitere na ntụziaka ONYENWE ANYỊ nweta. ONYENWE ANYỊ nyekwara m nghọta banyere
ihe niile metụtara osise ụlọnsọ ukwu a.”

20 Devid gwakwara nwa ya Solomọn okwu sị, “Dị ike, nwee obi ike, rụọ ọrụ a. Atụla
ụjọ, adakwala mba, n’ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke, bụ Chineke m, nọnyeere gị. Ọ
gaghị ahapụ gị, maọbụ gbakụta gị azụ. Ọ ga-ahụ na ihe niile gaara gị nke ọma, tutu
ruo mgbe ọrụ iwu ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ gwụsịrị. 21 Ndị nchụaja ndị a niile, na ndị
Livayị jikeere ịrụ ọrụ niile metụtara ụlọnsọ ukwu Chineke ahụ. Ndị ọzọ bụ ndị ọka
ọrụ dị iche iche ndị o metụrụ n’obi ga-abịakwa inyere gị aka, ma ndị ozi, ma ndị Izrel
niile; ha ga-emezu iwu ọbụla i nyere ha.”

# 29

### *Onyinye dị iche iche e nyere*

1 Mgbe ahụ, Devid gwara ọgbakọ Izrel niile okwu sị ha, “Nwa m Solomọn, onye
Chineke họpụtara ịbụ eze n’ọnọdụ m, bụ nwantakịrị na-amachabeghị ihe. Ma ọrụ o
nwere ịrụ dị ukwuu, n’ihi na ụlọ ukwu a abụghị mmadụ ka ọ dịrị, kama ọ bụ nye
ONYENWE ANYỊ Chineke. 2 Ma n’ike m niile, agbalịala m wetachaa ihe niile a ga-eji
wuo ụlọnsọ ukwu Chineke m ebe ha dị ukwuu: ọlaedo a ga-eji kpụọ ihe ọlaedo niile,
ọlaọcha a ga-eji kpụọ ihe ọlaọcha niile, bronz a ga-eji kpụọ ihe bronz niile, igwe a
ga-eji kpụọ ihe igwe niile, na osisi a ga-eji rụọ ihe osisi niile, nkume dị oke ọnụahịa
ọniks, a ga-ahịọnye ahịọnye, na nkume dị oke ọnụahịa tọkwọisi, na nkume ndị ọzọ
ụcha ha dị iche iche, na nkume ndị ọzọ mara mma, tinyere mabụl. 3 Ugbu a, n’ihi
mmasị m n’ebe ụlọnsọ Chineke m dị, ana m enye akụ nke aka m niile, ya bụ ọlaedo
na ọlaọcha m, iji ya nye aka, maka iwu ụlọnsọ ukwu Chineke m. Ihe ndị a ka m
na-enye, tụkwasịkwa n’elu ihe ndị ọzọ niile bụ nke m nyerela, n’ihi ụlọnsọ ukwu a:
4 bụ puku talenti ọlaedo atọ (ọlaedo e si Ọfịa bubata), na puku talenti ọlaọcha asaa
nke a nụchara anụcha, nke a ga-eji machite ahụ ụlọ niile nke ụlọ ndị ahụ. 5 Maka

ọrụ niile a ga-eji ọlaedo rụọ, na nke a ga-eji ọlaọcha rụọ, na ọrụ niile ndị ǹka ga-arụ.
Ugbu a, onye jikeere iwere onwe ya nyechasịa ONYENWE ANYỊ n’aka taa?”
6 Mgbe ahụ, ndịisi ezinaụlọ, na ndịisi ozi nke ebo Izrel niile, na ndịisi agha na-
achị ọtụtụ puku ndị agha, na ndịisi agha na-achị ọtụtụ narị ndị agha, na ndịisi ozi
na-elekọta ọrụ eze, jiri obi ha niile nye onyinye. 7 Ha nyere maka ọrụ ụlọnsọ ukwu
Chineke. Ha nyere puku talenti ọlaedo ise, na puku darik ọlaedo iri, nyekwa puku
talenti ọlaọcha iri, na puku talenti bronz iri na asatọ, na narị puku talenti igwe. 8 Ndị
niile nwere nkume dị oke ọnụahịa dị iche iche webatara ya tinye ha n’ụlọakụ dị n’ụlọ
nso ukwu ONYENWE ANYỊ, nke Jehiel onye Geshọn na-elekọta. 9 Ndị Izrel niile ṅụrịrị
ọṅụ n’ihi otu ndịisi ha jiri wepụta obi nye onyinye, n’ihi na ha ji ọṅụ na obi ha niile
nye ONYENWE ANYỊ onyinye. Eze Devid n’onwe ya ṅụrịkwara ọṅụ nke ukwuu.

### *Ekpere Devid*

10 N’ihu ọha Izrel niile, Devid kelere ONYENWE ANYỊ ekele sị,
“Otuto dịrị gị ONYENWE ANYỊ
Chineke nna anyị Izrel
site n’ebighị ebi ruo ebighị ebi.
11 Gị onwe gị, ONYENWE ANYỊ nwe ịdị ukwu, na ike,
na ịma mma, na ugwu eze, na ebube,
n’ihi na ihe niile n’eluigwe na n’ụwa bụ nke gị.
Gị onwe gị, ONYENWE ANYỊ nwe alaeze.
Gị kwa ka e buliri elu dịka onye na-achị isi n’elu ihe niile.
12 Akụnụba na nsọpụrụ na-esite n’ebe ị nọ abịa.
Gị onwe gị na-achịkwa ihe niile.
Ọ bụkwa n’aka gị ka ume na ike dị
ibuli ihe niile elu, na inye ihe niile ike.
13 Ugbu a, Chineke anyị, anyị na-enye gị ekele
na-etokwa aha gị dị ebube.
14 “Ma onye ka m bụ, ole ndị kwa ka ụmụ Izrel bụ, na i kweere ka anyị gbasapụ
aka anyị nye gị onyinye. Ihe niile anyị nwere sitere n’aka gị bịa, ha kwa ka anyị na-
enyeghachi gị. 15 Anyị bụ ndị ọbịa na ndị mbịarambịa n’ihu gị, dịka nna nna anyị
ha. Ụbọchị ndụ anyị n’ụwa dị ka onyinyo, nke olileanya na-adịghị n’ime ya. 16 O,
ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, ihe niile ndị a anyị bukọrọ maka iji rụọra gị ụlọnsọ si
n’aka gị bịa. Ha niile bụkwa nke gị. 17 Amaara m, Chineke m, na ị na-anwale obi, na
i na-enwekwa mmasị n’ihe ziri ezi. Ihe ndị niile ka m onwe m nyere site n’afọ ofufu
nakwa obi ziri ezi. Ma ugbu a, ahụla m ọṅụ ndị gị, bụ ndị nọ n’ebe a, ji were afọ ofufu
nye gị onyinye ha. 18 Ya mere, gị ONYENWE ANYỊ, Chineke nna anyị Ebraham na Aịzik,
na Izrel, biko, mee ka ụdị ọchịchọ a dịgide n’ime obi ndị gị ruo ebighị ebi, meekwa
ka ha jiri obi ha niile gbasoo gị mgbe niile. 19 Nye nwa m Solomọn obi zuruoke nke
ọ ga-eji debe iwu gị niile, ọchịchọ gị niile na ụkpụrụ gị niile, ya na mmụọ imezu ihe
niile metụtara owuwu ụlọnsọ ukwu a nke m kwadooro ihe niile ndị a.”
20 Mgbe ahụ, Devid gwara ndị Izrel okwu sị, “Toonu ONYENWE ANYỊ Chineke unu!”
Ha niile toro ONYENWE ANYỊ Chineke nna ha, kpọọ isiala nye Onyenwe anyị na eze.

### *Nnabata Solomọn dịka eze*

21 N’echi ya, ha wetara otu puku oke ehi, na otu puku ebule, na otu puku ụmụ ebule
jiri ha chụọrọ ONYENWE ANYỊ aja nsure ọkụ. Tinyere aja ihe ọṅụṅụ na ọtụtụ aja ndị
ọzọ n’ebe ọ bara ụba n’ihi ụmụ Izrel niile. 22 Emesịa, ha jiri ọṅụ rie oriri, ṅụkwaa
ihe ọṅụṅụ n’ihu ONYENWE ANYỊ.
Ha nọkwa n’ebe ahụ nabata Solomọn, nwa Devid dịka eze nke ugboro abụọ, teekwa
ya mmanụ n’ihu ONYENWE ANYỊ ka ọ bụrụ onye ọchịchị. Ha mekwara Zadọk onye

nchụaja. 23 Ya mere, Solomọn nọkwasịrị n'ocheeze ONYENWE ANYỊ dịka eze, n'ọnọdụ
nna ya Devid. Ọ bara ụba nke ukwuu. Ndị Izrel rubekwaara ya isi. 24 Ndịisi ọchịchị
niile, na ndịisi Izrel niile, na ụmụ ndị ikom eze Devid niile kwupụtara nrube isi ha
nye Solomọn, eze ọhụrụ.
25 ONYENWE ANYỊ mere ka Solomọn dị ukwuu hie nne n'anya ndị Izrel niile. Ọ
yikwasịrị ya ebube nke alaeze n'ụdị ọ dịbeghị eze ọbụla buru ya ụzọ chịa n'Izrel
nweturula.

### *Ọnwụ Devid*

26 Devid nwa Jesi bụ eze ndị Izrel niile. 27 Ọ chịrị Izrel iri afọ anọ. Ọ chịrị afọ
asaa na Hebrọn, chịakwa iri afọ atọ na atọ na Jerusalem. 28 Ọ nwụrụ mgbe ọ ghọrọ
ezigbo agadi. Ọ bụkwa onye biri ogologo ndụ, onye nwekwara akụnụba na nsọpụrụ.
Solomọn nwa ya nwoke nọchiri ya dịka eze.
29 Ihe niile gbasara ọchịchị eze Devid, site na mmalite rụọ n'ọgwụgwụ, ka e dere
n'akwụkwọ akụkọ Samuel, onye ọhụ ụzọ, na n'akwụkwọ Netan, onye amụma, na
n'akwụkwọ Gad onye ọhụ ụzọ. 30 Akụkọ ndị a gosiri ihe gbasara ọchịchị eze ya, na
ịdị ike ya, na ihe niile mere ya, na ihe mere ndị Izrel, na ndị eze ndị mba ọzọ bi ha
gburugburu.

# 2 Ihe e mere

*Solomọn arịọọ amamihe*

1 Solomọn nwa Devid mere onwe ya ka o guzosie ike n'alaeze ya, n'ihi na Onyenwe
anyị Chineke ya nọnyeere ya, meekwa ka ọ dị ukwuu hie nne.
2 Mgbe ahụ, Solomọn gwara ndị Izrel niile okwu, ya bụ, ndịisi agha na-achị ọtụtụ
puku ndị agha, na ndịisi agha na-achị ọtụtụ narị ndị agha, na ndị ikpe, na ndị ndu
niile nọ n'Izrel, na ndịisi ezinaụlọ niile. 3 Solomọn ya na ọgbakọ ahụ niile, gara n'ebe
dị elu nke Gibiọn, n'ihi n'ebe ahụ ka ụlọ nzute Chineke dị, bụ nke Mosis onyeozi
Onyenwe anyị wuru n'ọzara. 4 Ma Devid esitelarị na Kiriat Jearim buputa igbe
ọgbụgba ndụ Chineke ahụ, bulaa ya n'ụlọ ikwu nke o wuru maka ya na Jerusalem.
5 Ebe ịchụ aja bronz ahụ Bezalel nwa Uri, nwa Hua wuru dịkwa na Gibiọn, n'ihu
ụlọ nzute Onyenwe anyị. Solomọn na ọgbakọ ahụ na-ajụta ya ase n'ebe bronz ahụ.
6 Solomọn jere n'ebe ịchụ aja ahụ e ji bronz kpụọ, nke dị n'ihu Onyenwe anyị, n'ime
ụlọ nzute, jiri anụ ụlọ ọnụọgụgụ ha dị otu puku chụọ aja nsure ọkụ n'elu ya.
7 N'abalị ụbọchị ahụ na Gibiọn, Onyenwe anyị mere ka Solomọn hụ ya anya, sị ya,
"Rịọọ ihe ọbụla ị chọrọ ka m nye gị."
8 Ma Solomọn zara Chineke, sị, "I gosila nna m bụ Devid obi ebere dị ukwuu. Ugbu
a, i meekwala m eze n'ọnọdụ ya 9 Ugbu a, Onyenwe anyị bụ Chineke, ka nkwa gị nke
i kwere nna m, bụ Devid, bụrụ ihe e mezuru, n'ihi na ị meela m eze ndị a bara ụba
n'ọnụọgụgụ dịka aja nke ala. 10 Biko, nye m amamihe na nghọta, nke m ga-eji edu
ndị a napụ na-abata, n'ihi na onye pụrụ ịchịkọta ndị gị a dị ukwuu?"
11 Chineke zara Solomọn sị ya, "Ebe ọ bụ na ị rịọghị m ka m nye gị akụnụba, maọbụ
ogologo ndụ; ebe ọ bụkwa na ị rịọghị m ka m mee ka ndị kpọrọ gị asị nwụsịa, maọbụ
ka m mee ka i nwee nsọpụrụ karịa, kama mkpa na-akpa gị bụ ka m nye gị amamihe
na nghọta ị ga-eji duzie ndị m, nke m mere gị eze ha. 12 Ya mere, enyela gị amamihe
na nghọta dịka ị rịọrọ. Aga m enyekwa gị akụnụba na nsọpụrụ dị ukwuu, nke eze
ọbụla nke buru gị ụzọ na-enwebeghị. Ọ dịkwaghị onye nke ga-eso gị ga-enwe ụdị
ya."
13 Mgbe ahụ, Solomọn sitere n'ebe dị elu nke Gibiọn, site n'ihu ụlọ nzute ahụ,
lọghachi na Jerusalem. Ọ chịrị dịka eze n'Izrel.
14 Solomọn chịkọbara ọtụtụ ụgbọ agha na ịnyịnya dị iche iche. O nwere ụgbọ
agha dị otu puku na narị anọ na ịnyịnya agha dị puku iri na abụọ n'ọnụọgụgụ, ndị
o debere ụfọdụ n'ime ha n'obodo ụgbọ agha ya ma ndị ọzọ dị na Jerusalem ebe ya
onwe ya nọ. 15 Eze mere ka ọlaọcha na ọlaedo baa ụba na Jerusalem, dịka nkume
efu. O mekwara ka osisi sida dị ọtụtụ dịka osisi sikamọ nke dị n'ala ala ugwu dị
iche iche 16 A na-esite n'Ijipt nakwa ala Kue atụbatara Solomọn ịnyịnya. Ndị ahịa
eze na-azụta ha site na Kue n'ọnụ ahịa a na-ere ha n'oge ahụ. 17 Ha sitere n'Ijipt
tụbata otu ụgbọ agha n'ọnụ ahịa narị shekel ọlaọcha isii; jirikwa otu narị shekel na
iri shekel ise zụta otu ịnyịnya. Ha zipụkwara ha nye ndị eze niile nke ndị Het na ndị
Aram.

## 2

*Nkwado maka iwu ụlọnsọ ukwu*

1 Solomọn nyere iwu ka e wuo ụlọ nso ukwu nye Aha Onyenwe anyị, ka e wuokwara
ya bụ Solomọn ụlọeze. 2 O manyere ndị ọrụ ọnụọgụgụ ha dị iri puku asaa (70,000)
na-ebu ibu, na ndị na-awa nkume n'ugwu ọnụọgụgụ ha dị iri puku asatọ (80,000), na
ndị o doro dịka ndịisi ha, ọnụọgụgụ ha dị puku atọ na narị isii (3,600).

3 Solomọn zigara Hiram eze Taịa ozi sị ya,
“Zidatara m osisi sida dịka i mere n’oge nna m Devid wuru ụlọeze nke ya. 4 Ugbu
a, ana m akwado iwu ụlọnsọ ukwu nye Aha Onyenwe anyị Chineke m, na ido ya
nsọ nye ya maka ịchụ aja nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n’ihu ya, na idebe n’ebe ahụ
achịcha nsọ a na-edo n’usoro mgbe niile. Na isure aja nsure ọkụ ụtụtụ na anyasị,
na n’ụbọchị izuike niile, na n’ọnwa ọhụrụ na n’oge mmemme ndị ọzọ niile a kara
aka nke Onyenwe anyị Chineke anyị. Nke a bụ ụkpụrụ na-adịgide nye ụmụ Izrel
ruo ebighị ebi.
5 “Ụlọnsọ m ga-ewu ga-adị ukwuu n’ihi na Chineke anyị dị ukwuu karịa chi ndị
ọzọ niile. 6 Ma onye pụrụ iwu ụlọnsọ nye ya, ebe ọ bụ na eluigwe, ọbụladị ebe
kachasị elu nke eluigwe, ezughị ịba gị? Onye ka mụ onwe m bụ, na m ga-ewu
ụlọnsọ nye ya, ma ọ bụghị naanị ebe a ga-anọ chụọ aja dị iche iche n’ihu ya?
7 “Zitere m, onye ǹka, onye maara otu e si eji ọlaedo na ọlaọcha, na bronz, na
igwe arụ ọrụ. Onye bụkwa onye maara ọrụ ǹka metụtara akwa dị iche iche, akwa
ngwakọta anụnụ na uhie, na nke uhie uhie, na nke anụnụ anụnụ. Ọ ga-abụkwa
onye igbunye akara n’ihe doro anya, onye ga-arụ ọrụ na Juda na n’ime Jerusalem,
ebe ọ ga-eso ndị ǹka m, bụ ndị nna m Devid họpụtara rụọ ọrụ.
8 “Zitekwara m osisi sida, na osisi junipa, na osisi algụm, ndị sitere n’ọhịa
Lebanọn, n’ihi na ndị gị bụ ọkachamara n’ọrụ ịwa osisi. Aga m ezitekwa ndị
m ga-abịa soro ha rụọ ọrụ, 9 ime ka osisi ha ga-egbutere m dị ukwuu, n’ihi na ya
bụ ụlọnsọ ga-ebu ibu, maakwa mma. 10 Aga m enye ndị ọrụ gị, bụ ndị na-awa osisi,
narị puku bushel na iri puku bushel ọka wiiti abụọ a kwọrọ akwọ, na narị puku
bushel na iri puku bushel ọka balị abụọ, na narị puku galọọnụ ite mmanya vaịnị
na iri galọọnụ abụọ, nakwa narị puku galọọnụ mmanụ na iri galọọnụ mmanụ oliv
abụọ.”
11 Hiram, eze Taịa zighachiiri Solomọn akwụkwọ ozi sị ya.
“Ọ bụ n’ihi na Onyenwe anyị hụrụ ndị ya n’anya ka o ji mee gị eze ha.”
12 Hiram kwukwara sị,
“Otuto dịrị Onyenwe anyị, bụ Chineke Izrel. Onye kere eluigwe na ụwa. Onye
nyere Devid, bụ eze, nwa nwere nghọta na akọnuche dị otu a, iwuru Onyenwe
anyị ebe obibi, na iwukwa ụlọeze nke aka ya.
13 “Ana m ezitere gị Huram-Abi, onye ọka maara ọrụ ya nke ọma. 14 Onye nne ya
si n’ebo Dan nke dị n’Izrel, ma nna ya bụ onye Taịa. Ọ bụ onye a zụrụ n’ọrụ ịkpụ
ụzụ nke ọma, n’ihe gbasara ọlaedo, na ọlaọcha, na bronz, na igwe, na nkume, na
osisi. Ọ makwa otu e si eji akwa odo odo, na akwa anụnụ anụnụ, na akwa uhie
uhie na ezi akwa ọcha arụ ọrụ. Igbunye ụdị akara ọbụla n’ihe nakwa ichepụta ihe
ọ ga-eji ihe ọbụla enyere ya mee doro ya anya nke ọma. Ọ ga-esonye ndị ǹka gị,
na ndị nke onyenwe m Devid, bụ nna gị.
15 “Ugbu a, ka onyenwe m zitere ndị ohu ya ọka wiiti ahụ, na ọka balị, na mmanya
vaịnị, na mmanụ oliv, dịka ọ kwere na nkwa. 16 Anyị ga-egbutu osisi niile ị chọrọ
site n’ugwu Lebanọn, sitekwa n’osimiri budata ha obodo Jopa, ebe i nwere ike isite
buruo ha Jerusalem.”
17 Emesịa, Solomọn gụrụ ndị ọbịa niile bi n’ala Izrel ọnụ, dịka Devid mere,
achọpụtara na ha dị narị puku iri ise na atọ, na narị isii (153,600). 18 O mere iri
puku ndị ọrụ asaa (70,000) n’ime ha ka ha bụrụ ndị na-ebu ibu, na ọnụọgụgụ dị iri
puku asatọ (80,000) ka ha bụrụ ndị ga-awa nkume, meekwa puku ndị ikom atọ na
narị isii (3,600), ndị ga-abụ ndịisi ọrụ ime ka ọrụ na-aga nke ọma.

# 3

*Solomọn ewuo ụlọnsọ ukwu*

1 Mgbe ahụ, Solomọn malitere iwu ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ. Ọ bụ n’ugwu
Mọrịa, nke dị na Jerusalem, ka e wukwasịrị ya, n’ebe ahụ ONYENWE ANYỊ mere ka
Devid bụ nna ya hụ ya anya. Ọ bụ n’ala ebe ịzọcha ọka Arauna, onye Jebus, ebe ahụ
Devid họpụtara. 2 O bidoro iwu ụlọ ahụ n’abalị nke abụọ, nke ọnwa abụọ, n’afọ nke
anọ, nke ọchịchị eze ya.
3 Ntọala Solomọn tọrọ maka iwu ụlọnsọ Chineke dị iri mita abụọ na asaa n’ogologo,
mita itoolu n’obosara. (Nke a bụ ma ejiri ihe ọtụtụ ochie). 4 Ịdị ogologo mpụta ọnụ
ụlọ nke ụlọnsọ ukwu ahụ dị mita itoolu, dịka ịdị ogologo obosara ụlọ nso ahụ n’onwe
ya. Ịdị elu ya dịkwa mita itoolu.
O jikwa ọlaedo a nụchara anụcha machie ime ya. 5 O ji osisi junipa machie ahụ
ime ụlọ ezumezu ahụ, jirikwa ọlaedo a nụchara anụcha techie osisi ndị ahụ niile.
Emesịa, e sere oyiyi nkwụ dị iche iche, na oyiyi ụdọ igwe n’ahụ ụlọ ahụ iji chọọ ya
mma. 6 O ji nkume dị oke ọnụahịa dị iche iche chọọ ime ụlọnsọ ahụ mma, ya na
ọlaedo nke e si na Pavaim bute. 7 Ogidi osisi silin niile, na ibo ọnụ ụzọ niile, na aja
ụlọ niile, na ọnụ ụzọ niile dị n’ụlọnsọ ukwu ahụ ka o ji ọlaedo techie. Ọ gbukwara
egbugbu oyiyi cherubim na mgbidi ya niile.
8 O wuru Ebe ahụ Kachasị Nsọ; nke ogologo ọnụ ụlọ ya dị mita iri, otu a kwa,
obosara ya dị mita iri. O ji ọlaedo dị ezi mma nke ọnụahịa ya ruru narị talenti isii
techie ahụ ime ụlọ ahụ niile. 9 Ịdị arọ ọlaedo e ji kpụọ ǹtu e ji wuo ya dị iri shekel
ise. E jikwa ọlaedo techie akụkụ elu elu nke ime ọnụ ụlọ a.
10 Solomọn tinyere oyiyi mmụọ ozi cherubim abụọ ọ kpụrụ n’ime Ebe ahụ Kachasị
Nsọ, werekwa ọlaedo machie ha. 11 Ịdị ogologo nku cherubim ndị a ruru mita iri.
Ịdị ogologo otu nku cherub nke mbụ ruru mita abụọ na ọkara. Ọnụ nku a na-emetụ
ahụ ime ụlọ nke ụlọnsọ ukwu, ma ọnụ ọnụ nku nke ọzọ, nke ịdị ogologo ya ruru
mita abụọ n’ọkara, na-emetụ ọnụ otu nku cherub nke ọzọ. 12 N’otu aka ahụ, otu nku
cherub nke abụọ ruru mita abụọ na ọkara n’ogologo. Ọnụ nku ya na-emetụ akụkụ
nke ọzọ nke ahụ ime ụlọnsọ ukwu, ma nku ya nke ọzọ, nke rukwara mita abụọ na
ọkara n’ogologo, na-emetụ ọnụ ọnụ otu nku cherub nke mbụ. 13 Nku cherubim ndị
a gbasapụrụ ruo mita iri n’ogologo. Ha guzo ọtọ n’ụkwụ ha, na-eche ihu n’ọnụ ụlọ
ezumezu ahụ.
14 O ji akwa na-acha anụnụ anụnụ, na uhie uhie, na odo odo, na ezi akwa ọcha,
mee akwa mgbochi, nke a kpanyekwara oyiyi cherubim n’ime ya.
15 O wuru ogidi abụọ dị n’ihu ụlọnsọ ahụ, nke ịdị elu ya ruru mita iri na asaa. Ọ
kpụkwara ihe a dokwasịrị n’elu ogidi ndị a, nke ịdị elu ha dị mita abụọ na ọkara.
16 Ọ kpụkwara ihe yiri ụdọ igwe a tụrụ atụ, nke e kokwasịrị n’elu ogidi abụọ ndị
ahụ. Kpụọkwa narị mkpụrụ pomegranet, nke a ganyekọtara ya na ụdọ igwe ahụ.
17 O guzobere ogidi abụọ ndị ahụ n’ihu ụlọnsọ ukwu ahụ, otu n’akụkụ ugwu nke ọzọ
n’akụkụ ndịda. Ogidi nke dị na ndịda ka ọ kpọrọ Jakin, ma nke dị n’ugwu ka ọ kpọrọ
Boaz.

# 4

*Ngwongwo dị n’ụlọnsọ*

1 Solomọn wukwara ebe ịchụ aja bronz. Ogologo ya ruru iri mita na ọkara. Obosara
ya rukwara iri mita na ọkara; ma ịdị elu ya dị mita ise na ụma atọ. 2 O mekwara Oke
osimiri nke ọla awụrụ awụ, nke dị gburugburu n’ụdịdị. Ọtụtụ ya bụ ihe ruru mita
abụọ na ụma atọ n’ogologo, dịkwa mita ise na ụma atọ, site n’otu ọnụ ruo n’ọnụ
nke ọzọ. Ọ bụ eriri e ji atụ ihe nke ruru ihe dịka mita iri na anọ ka e ji tụọ ya
gburugburu. 3 N’okpuru ọnụ ya, oyiyi ụmụ oke ehi gbara ya gburugburu, iri dị na
mita anọ na ọkara ọbụla. Ehi ndị ahụ dị n’ahịrị abụọ. A wụkọtara ha na Oke osimiri
ahụ otu mgbe.

4 E mekwara ka Oke osimiri ahụ guzo n’elu ehi iri na abụọ. Atọ na-eche ihu n’akụkụ
ọwụwa anyanwụ; atọ na-eche ihu n’ọdịda anyanwụ; atọ na-eche ihu n’akụkụ ndịda,
atọ na-eche ihu n’akụkụ ugwu. Oke osimiri ahụ dịkwasịrị ha n’elu, ebe azụ ha niile
dị n’ime n’etiti. 5 Ịdị arọ ya ha ka otu ọtụtụ ntu-aka dimkpa. E mere ọnụ ya ka ọ dị
ka ọnụ iko mmiri, dịkwa ka okoko lili na-awapụta awapụta. Ọ na-erite puku galọọnụ
iri na asatọ.

6 A kpụkwara efere ukwu iri nke e ji asacha ihe e wetara maka ịchụ aja nsure
ọkụ. Ise n’ime ha dị n’akụkụ ndịda olulu mmiri ahụ, ise n’akụkụ ugwu. Ndị nchụaja
na-esite naanị na olulu mmiri ahụ ekuru mmiri ha ji asacha ihe.

7 Ọ kpụrụ ihe ịdọba oriọna ọlaedo iri n’usoro dịka Chineke nyere ya n’iwu. O
debere ha n’ime ụlọnsọ ukwu ahụ, ise n’akụkụ ndịda ụlọ ahụ, ise n’akụkụ nke ugwu.

8 O mekwara tebul iri dọnye n’ụlọnsọ ukwu ahụ, ise n’akụkụ ndịda, ise n’akụkụ
ugwu. Ọ kpụkwara otu narị efere ọlaedo maka ịkwọsa mmiri.

9 Ọ mere ogige ndị nchụaja, mekwa otu ogige ukwuu, na ibo ọnụ ụzọ maka itinye
n’ogige ahụ. O jiri bronz machie ibo ọnụ ụzọ ndị ahụ. 10 Oke osimiri ahụ ka ọ dọbara
n’akụkụ ndịda, na ncherita ihu ọwụwa anyanwụ nke ụlọnsọ ahụ.

11 Huram kpụkwara ite dị iche iche, shọvel niile,* na efere ịkwọsa mmiri niile.

N’ikpeazụ, ọ rụchara ọrụ dị n’ụlọnsọ Chineke, nke eze Solomọn tinyere ya n’aka
ịrụ.

12 Ogidi abụọ ahụ;
ihe ọkpụkpụ abụọ dịka efere dị n’elu ogidi abụọ ahụ;
Ihe ọkpụkpụ yiri ụdọ a tụrụ atụ nke e ji chọọ ihe ọkpụkpụ abụọ ahụ dịka efere mma;
13 narị anọ nke mkpụrụ pomegranet a kpụrụ akpụ maka ahịrị ihe abụọ ahụ a kpụrụ akpụ, ya bụ, ahịrị pomegranet abụọ n’ihi otu ihe ọkpụkpụ, iji chọọ ihe ọkpụkpụ ahụ yiri efere dị n’isi elu ogidi ahụ mma;
14 ihe ndọkwasị na efere ịsa mmiri ha,
15 na Oke osimiri ahụ na ehi iri na abụọ ahụ dị ya n’okpuru,
16 na ite niile, shọvel niile, ihe ịgụrụ anụ niile na ihe ngwongwo ndị ọzọ ya na ha so.

Ihe niile nke Huram-Abi mere eze Solomọn n’ihi ụlọnsọ Onyenwe anyị, bụ bronz e
hichaziri nke ọma. 17 Ọ bụ n’ala ụrọ, n’obosara ala Jọdan, n’etiti Sukọt na Zaretan,
ka eze mere ka a nọrọ kpụọ ihe ndị a. 18 Ihe ndị a niile nke Solomọn mere dị ukwuu
nke ukwu; nke bụ na-enweghị ike ịgụkọta ihe ịdị arọ nke bronz ahụ bụ.

19 Solomọn mekwara ngwongwo niile dị n’ime ụlọnsọ Chineke, ya bụ,

ebe ịchụ aja e ji ọlaedo kpụọ,
na tebul niile nke a dọkwasịrị achịcha nke iche n’Ihu Onyenwe anyị,
20 ihe ịdọkwasị oriọna niile nke ọlaedo a nụchara anụcha, ha na oriọna ha niile, ka ọ na-enwu n’ihu ime ime ebe nsọ, dịka e nyere n’iwu,
21 ihe ịchọ mma oyiyi okoko osisi, na oriọna niile na ihe ịgụta ihe niile. E ji ọlaedo a nụchara anụcha kpụọ ha niile.
22 Ọ kpụkwara ihe ịkpakepụ ọkụ niile nke ọlaedo a nụchara anụcha, na efere ịkwọsa mmiri niile, na ngaji niile, na ihe ịgụ ọkụ niile, na ibo ọlaedo niile nke ụlọnsọ, ya bụ, ibo ọnụ ụzọ ime ime niile nke dịrị Ebe ahụ Kachasị Nsọ, na ibo ndị dị n’ọnụ ụlọ ezumezu.

* **4:11** 4:11 Ya bụ, oseke

# 5

1 Mgbe a rụzuru ọrụ niile nke eze Solomọn nwere ịrụ maka ụlọnsọ ukwu Onyenwe
anyị ahụ, o webatara ihe niile Devid bụ nna ya doro nsọ n’ime ya, ya bụ ọlaọcha,
ọlaedo na ngwongwo ndị ọzọ niile. O tinyere ha n’ụlọakụ dị n’ụlọnsọ Chineke.

*Mbubata igbe ọgbụgba ndụ*

2 Mgbe ahụ, Solomọn kpọkọtara ndị okenye Izrel niile, na ndịisi ebo Izrel niile, na
ndịisi ezinaụlọ Izrel niile na Jerusalem, maka ị site na Zayọn, bụ obodo Devid bugota
igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị. 3 Ndị Izrel niile gbakọtara bịakwute eze n’oge a
na-eme mmemme n’ọnwa Etanim, nke bụ ọnwa asaa n’afọ.
4 Mgbe ndị okenye Izrel niile bịarutere, ndị Livayị buliri igbe ọgbụgba ndụ ahụ.
5 Ha bugotara igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị, ya na ụlọ nzute, na ngwongwo niile
dị nsọ dị n’ime ya. Ndị nchụaja bụ ndị Livayị buliri ha elu. 6 Eze Solomọn na ọgbakọ
Izrel niile, bụ ndị zukọtara n’ebe ọ nọ, nọ n’ihu igbe ọgbụgba ndụ ahụ, na-achụ aja
ọtụtụ atụrụ na ọtụtụ ehi nke a na-apụghị ịgụta ọnụ maọbụ gbakọta ọnụọgụgụ ha
n’ihi ịba ụba.
7 Ndị nchụaja bubatara igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị ahụ n’ime ime ụlọnsọ
ukwu ahụ, n’ime Ebe Kachasị Nsọ, dọba ya n’okpuru nku cherubim ahụ. 8 Cherubim
ndị ahụ gbasara nku ha n’elu igbe ọgbụgba ndụ ahụ, kpuchie ya na okporo osisi ndị
ahụ e ji ebu ya. 9 Okporo osisi ndị a dị oke ogologo, na isi ha sitere n’igbe ọgbụgba
ndụ ahụ na-apụta, na e nwere ike ị site n’ihu ime ime ebe nsọ ahụ hụ ha anya, ma
onye na-anọghị n’Ebe Nsọ ahụ adịghị ahụ ha. Ha ka dịkwa n’ebe ahụ ruo taa 10 O
nweghị ihe dị n’ime igbe ọgbụgba ndụ ahụ, karịakwa mbadamba nkume abụọ ahụ
Mosis tinyere n’ime ya n’ugwu Horeb, n’ebe Onyenwe anyị na ụmụ Izrel gbara ndụ,
mgbe ha si n’ala Ijipt pụta.
11 Mgbe ndị nchụaja sitere n’Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ pụta, n’ihi na ndị nchụaja
ahụ niile doro onwe ha nsọ n’agbanyeghị usuu nke onye ọbụla n’ime ha si pụta.
12 Ma ndị Livayị bụ ndị ọbụ abụ, ya bụ Asaf, Heman, Jedutun na ụmụ ha ndị ikom
na ndị ikwu ha guzoro onwe ha n’akụkụ ọwụwa anyanwụ nke ebe ịchụ aja. Ha yi
uwe ezi akwa ọcha ma na-akpọ ụbọ akwara, na-akụkwa ogene ọla. Ndị nchụaja dị
otu narị na iri abụọ (120) n’ọnụọgụgụ. Ndị na-afụ opi sokwa ha. 13 Ndị ọbụ abụ ahụ
na ndị na-afụ opi jikọrọ onwe ha ọnụ were otu olu bụkuo Onyenwe anyị abụ ekele
na otuto. Ndị na-afụ opi, na ndị na-akụ ọla na-ada ụda, na ndị ji ngwa egwu ndị ọzọ
sonyeere ha, welie olu ha elu too Onyenwe anyị n’abụ sị:
“N’ihi na Ọ dị mma
Ịhụnanya ya na-adị ruo ebighị ebi.”
Mgbe ahụ igwe ojii jupụtara n’ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, 14 nke mere na ndị
nchụaja enwekwaghị ike jee ozi ha, n’ihi igwe ojii ahụ, n’ihi na ebube Onyenwe anyị
jupụtara n’ime ụlọnsọ Chineke.

# 6

*Ekpere Solomọn*

1 Mgbe ahụ, Solomọn sịrị, “Onyenwe anyị ekwuola na ọ ga-ebi n’oke igwe ojii. 2 Ma
ewuola m ụlọnsọ pụrụ iche, maa mma nye gị, ebe ị ga-ebi ruo mgbe ebighị ebi!”
3 Dịka ọgbakọ Izrel niile na-eguzo n’ebe ahụ, eze chigharịrị onwe ya chee ha ihu,
gọzie ha. 4 Mgbe ahụ ọ sịrị,
“Otuto dịrị Onyenwe anyị, bụ Chineke Izrel. Onye ji aka ya abụọ mezuo nkwa
ahụ o ji ọnụ ya kwee nna m Devid. N’ihi na o kwuru sị, 5 ‘Site n’ụbọchị ahụ m
si n’ala Ijipt kpọpụta ndị m, ahọpụtaghị m obodo ọbụla n’ebo ọbụla nke Izrel, ka
e wuru m ụlọnsọ ka Aha m dịrị n’ebe ahụ, maọbụ họpụta onye ọbụla ka ọ bụrụ

onyendu ndị m Izrel. [6] Ma ugbu a, a họrọla m Jerusalem ka ọ bụrụ ebe Aha m
ga-adị, ahọrọkwala m Devid ị bụ onye ga-achị ndị m Izrel.'
[7] "Nna m, Devid bu n'obi iwu ụlọnsọ ukwu nye Aha ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke
nke Izrel. [8] Ma ONYENWE ANYỊ sịrị nna m, Devid, 'I mere nke ọma ibu n'obi, iwu
ụlọnsọ ukwu nye Aha m. [9] Ma otu ọ dị, ọ bụghị gị ga-ewu ya, kama nwa gị nwoke
nke si n'ahụ gị pụta ga-ewu ụlọnsọ ahụ nye Aha m.'
[10] "Ugbu a, ONYENWE ANYỊ emezuola nkwa ahụ o kwere. A nọchiela m nna Devid,
ana m anọdụ n'ocheeze nke Izrel dịka ONYENWE ANYỊ kwere na nkwa. Ewuokwala
m ụlọnsọ ukwu nye Aha ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nke Izrel. [11] N'ebe ahụ ka m
dọbara igbe ọgbụgba ndụ, n'ime ya ka ọgbụgba ONYENWE ANYỊ dị, bụ nke ya na
ụmụ Izrel gbara."

*Ekpere Ido Nsọ*

[12] Mgbe ahụ, Solomọn guzoro n'ihu ebe ịchụ aja ONYENWE ANYỊ, na n'ihu ọgbakọ
ụmụ Izrel niile, gbasapụ aka ya abụọ. [13] Solomọn ji bronz kpụọ ihe nrigoro ịnọ gwa
ọha mmadụ okwu. Ogologo ihe nrigoro ahụ, obosara ya ruru mita abụọ na ọkara
mita abụọ na ọkara. Ịdị elu ya ruru otu mita na ọkara. O debere ya n'etiti ebe mpụta
nke ogige ụlọnsọ ukwu ahụ. O guzoro n'elu ihe nrigo ahụ, n'ihu ọgbakọ Izrel niile,
gbuo ikpere n'ala, gbasaa aka ya abụọ chilie ha elu. [14] Ọ sịrị,
"ONYENWE ANYỊ, Chineke nke Izrel, ọ dịghị Chineke dịka gị n'eluigwe maọbụ
n'ụwa. Gị onye na-edebe ọgbụgba ndụ ịhụnanya gị na ndị ohu gị, bụ ndị ji obi ha
niile na-eso ụzọ gị. [15] I mezuokwala nkwa niile i kwere nna m Devid, bụ ohu gị. I
ji ọnụ gị kwee nkwa a, ma taa, i jirila aka gị mezuo ya.
[16] "Ugbu a, O! ONYENWE ANYỊ, Chineke nke Izrel, mezukwaa nkwa niile i kwere
Devid nna m, mgbe ị sịrị, 'Ọ bụrụ na ụmụ ụmụ gị elezie anya bie ndụ dịka iwu m
si dị n'ihu m, n'ihe niile ha na-eme, dịka gị onwe gị mere, agaghị achọ onye ga-anọ
n'ihu n'ocheeze Izrel n'ime ha.' [17] Ma ugbu a, ONYENWE ANYỊ bụ Chineke nke Izrel,
ka okwu gị, bụ nkwa nke i kwere ohu gị Devid bịa na mmezu.
[18] "Ma ọ bụ ezie na Chineke ga-ebinyere ụmụ mmadụ n'elu ụwa? Lee, eluigwe,
ọbụladị ebe kachasị elu nke eluigwe ezughị ịba gị. Olee otu ụlọ a nke m wuru
ga-esi bata gị! [19] Ma ONYENWE ANYỊ Chineke m, ṅaa ntị n'ekpere ohu gị, na arịrịọ
ọ na-arịọ maka ebere. Nụrụ akwa na ekpere nke ohu gị na-ekpe n'ihu gị. [20] Biko,
mee ka anya gị abụọ ghere oghe n'ebe ụlọnsọ ukwu a dị, ehihie na n'abalị, bụ ebe
a i kwuru sị, na i ga-akpọkwasị Aha gị n'ebe ahụ. Biko, ka ị nụrụ ekpere ohu gị
ga-ekpe banyere ebe a. [21] Nụrụkwa arịrịọ niile nke ohu gị na nke ndị gị Izrel niile,
mgbe ọbụla ha chere ihu ha n'ebe a n'ekpere. Biko, site n'eluigwe bụ ebe obibi gị
nụrụ, mgbe ị nụrụ biko, gbagharakwa.
[22] "Mgbe onye ọbụla mehiere mmadụ ibe ya, a kpọọ ya oku ka ọ bịa ṅụọ iyi, onye
dị otu a bịa guzo n'ebe a, n'ihu ebe ịchụ aja gị a, ṅụọ iyi ahụ, [23] mgbe ahụ, nụrụ
olu ya n'eluigwe ma mee ihe ziri ezi, kpeekwa ikpe n'etiti ndị ohu gị. Maa onye
mejọrọ ikpe site n'ịtụkwasị n'isi ha ihe o metara, meekwa ka onye aka ya dị ọcha
nwere onwe ya, site n'imeso ha dịka ezi omume ha si dị.
[24] "Mgbe ndị iro meriri ndị gị Izrel, n'ihi na ha mehiere megide gị, ọ bụrụ na ha
alọghachite, too aha gị, na-ekpe ekpere, na-arịọ arịrịọ n'ihu gị n'ụlọnsọ ukwu a,
[25] biko, site n'eluigwe nụrụ ekpere ha, gbaghara mmehie ndị gị Izrel. Meekwa ka
ha lọghachita n'ala ahụ nke i nyere ha na nna nna ha.
[26] "Mgbe e gbochiri eluigwe, mee na mmiri adịghị ezokwa, n'ihi na ndị gị
emehiela megide gị, ọ bụrụ na ha echee ihu n'ebe a kpee ekpere, too aha gị, si
na mmehie ha chegharịa, n'ihi na ịtaala ha ahụhụ, [27] biko, site n'eluigwe nụrụ ma
gbagharakwa mmehie ndị ohu gị, ndị gị Izrel. Kuziere ha ezi ụzọ ha ga-esi bie ndụ
ma zidata mmiri ozuzo n'ala ahụ nke i nyere ndị gị ka ọ bụrụ ihe nketa ha.

28 “Mgbe ụnwụ, maọbụ ajọ ọrịa na-efe efe ga-adakwasị ala a, maọbụ ọrịa na-
eripịa ihe ubi, maọbụ ọmụma ebu; maọbụ igurube, maọbụ ụkpana, maọbụ mgbe
ndị iro ga-anọchibido ha n’obodo ha niile, ihe mbibi niile maọbụ ọrịa ọbụla,
29 ekpere ọbụla maọbụ arịrịọ nke onye ọbụla n’etiti ndị gị Izrel kpere ma rịọọ, n’ihi
ịghọta ihe otiti na ihe mgbu niile, ha gbasapụ aka ha, ma chee ihu ha n’ebe ụlọnsọ
ukwu dị; 30 mgbe ahụ, site n’eluigwe bụ ebe obibi gị nụrụ arịrịọ ha. Gbaghara ma
meekwa; mesoo onye ọbụla dịka ihe niile ha na-eme si dị, ebe ọ bụ na ị maara obi
ha niile (n’ihi na naanị gị maara obi ụmụ mmadụ), 31 ka ha tụọ egwu gị, jeekwa
ije n’irubere gị isi n’oge niile ha na-ebi n’ala ahụ nke i nyere nna nna anyị ha.
32 “Ma banyere onye mba ọzọ, onye na-esonyeghị na ndị gị Izrel, kama o si n’ala
ebe dị anya bịa n’ihi ukwu gị, n’aka gị dị ike na ogwe aka gị e setipụrụ esetipụ.
Mgbe ha bịara kpee ekpere n’ụlọnsọ a, 33 mgbe ahụ, site n’eluigwe ebe obibi gị
nụrụ arịrịọ ha. Mekwaa ihe niile nke onye mba ọzọ ahụ na-arịọ n’ekpere, ka ndị
niile nke ụwa mara aha gị, tụọkwa egwu gị, dịka ndị nke gị bụ Izrel na-eme. Ka
ha matakwa na-akpọkwasịrị Aha gị n’ụlọ a nke m wuru.
34 “Mgbe ndị gị ga-aga ibu agha megide ndị iro ha, n’ebe ọbụla ị na-eziga ha,
mgbe ha chere ihu ha n’ụzọ obodo a nke ị họpụtara na n’ụlọnsọ ukwu a m wuru
nye Aha gị, kpee ekpere, 35 mgbe ahụ, site n’eluigwe nụrụ ekpere na arịrịọ amara
ha, mezukwa ihe ha na-arịọ.
36 “Mgbe ha mehiere megide gị, n’ihi na ọ dịghị mmadụ ọbụla na-adịghị emehie,
ị wee iwe megide ha, rara ha nyefee n’aka ndị iro, ndị ga-adọkpụrụ ha n’agha gaa
n’obodo ọzọ, maọbụ obodo dị anya maọbụ nke dị nso; 37 ọ bụrụ na ha anọrọ n’ala
ahụ a dọkpụrụ ha gaa, chegharịa n’obi ha, nọrọ n’ala ebe a dọtara ha n’agha,
rịọọ gị, sị, ‘Anyị emehiela, anyị emeela ihe n’adịghị mma, meekwa ajọ omume.’
38 Ọ bụrụ na ha ejiri obi ha na mmụọ ha niile chegharịa, n’ala ebe ndọta n’agha
ha, bụ ebe a kpọrọ ha gaa, ma kpee ekpere nye gị chee ihu ha n’ụzọ ala a nke i
nyere nna nna ha, n’obodo a nke ị họpụtara, ya na n’ụlọnsọ ukwu a m wuru nye
Aha gị 39 mgbe ahụ, site n’eluigwe, ebe obibi gị, nụrụ ekpere ha na arịrịọ ha niile,
nyekwara ha aka. Gbaghara ndị gị, bụ ndị mehiere megide gị.
40 “Ugbu a, Chineke m, biko ka anya gị na ntị gị ghere oghe n’ekpere niile a
na-ekpe n’ebe a.
41 “Ma ugbu a, bilie, O ONYENWE ANYỊ Chineke, bata n’ebe izuike gị,
gị na igbe ọgbụgba ndụ nke ike gị.
Ka ndị nchụaja gị, O ONYENWE ANYỊ Chineke, yiri nzọpụta dịka uwe.
Ka ndị gị kwesiri ntụkwasị obi ṅụrịa ọṅụ n’ihi ịdị mma gị.
42 O ONYENWE ANYỊ Chineke, agbakụtala onye gị e tere mmanụ azụ.
Chetakwa oke ịhụnanya nke ị kwere Devid bụ ohu gị na nkwa.”

# 7

*Ido ụlọnsọ ukwu nsọ*

1 Ngwangwa, mgbe Solomọn kpesịrị ekpere a, ọkụ sitere n’eluigwe daa repịa aja
nsure ọkụ ahụ na aja ahụ niile. Ebube ONYENWE ANYỊ jupụtakwara n’ụlọnsọ ukwu
ahụ, 2 Ndị nchụaja enweghị ike ịbanye n’ime ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ n’ihi ebube
ONYENWE ANYỊ nke jupụtara ụlọnsọ ahụ. 3 Mgbe ọha ndị Izrel niile hụrụ ọkụ ahụ si
n’elu daa, hụkwa ebube ONYENWE ANYỊ ka o guzo n’elu ụlọnsọ ukwu ahụ, ha dara
n’ala kpọọ isiala nye ONYENWE ANYỊ, kelee ya ekele sị:
“N’ihi na Ọ dị mma
ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.”
4 Mgbe ahụ, eze na ndị a niile chụrụ aja dị iche iche n’ihu ONYENWE ANYỊ. 5 Eze
Solomọn chụrụ aja ehi nke dị puku iri abụọ na abụọ, na ewu na atụrụ dị narị puku

na iri abụọ. Ya mere, Eze na ndị ahụ niile si otu a doo ụlọnsọ Chineke nsọ. [6] Ndị
nchụaja guzo n'ihu ọrụ ha, ha na ndị Livayị. Ha jiri ngwa egwu ONYENWE ANYỊ nke
eze Devid mere maka ị na-eto ONYENWE ANYỊ, bụkwa nke o ji mgbe o nyere ekele,
na-asị, "Ịhụnanya ya na-adị ruo ebighị ebi." Na ncherita ihu ndị Livayị, ndị nchụaja
fụrụ opi ike ha mgbe ndị Izrel guzooro ọtọ.
[7] Mgbe ahụ, Solomọn doro etiti ogige dị n'ihu ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ ahụ nsọ. N'ebe
ahụ ka ọ nọ chụọ aja nsure ọkụ, aja onyinye mkpụrụ ọka na aja abụba udo. O mere
nke a n'ihi na ebe ịchụ aja bronz nke ọ rụrụ enweghị ike ịbata aja nsure ọkụ niile,
aja mkpụrụ ọka niile nakwa aja abụba ndị ahụ.
[8] Ya mere, Solomọn mere mmemme a n'oge ahụ, ụbọchị asaa, ya na ndị Izrel niile.
Ọ bụ nzukọ dị ukwuu. Ndị mmadụ bịara sitere na Lebo Hamat ruo na mmiri iyi
Ijipt. [9] N'ụbọchị nke asatọ, ha nwere ọgbakọ, n'ihi na ha mere mmemme nke ido
ebe ịchụ aja nsọ n'ime ụbọchị asaa, meekwa mmemme* ahụ abalị asaa ọzọ. [10] Ya
mere, n'ụbọchị nke iri abụọ na atọ n'ọnwa nke asaa, o zilagara ndị ahụ niile n'ụlọ
ha, n'ịṅụrị ọṅụ na obi ụtọ n'ihi ihe ọma niile nke ONYENWE ANYỊ Devid na Solomọn
na ndị ya Izrel.

### *ONYENWE ANYỊ e mee ka Solomọn hụ ya*

[11] Mgbe Solomọn rụchara ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, na ụlọeze, mezukwaa ihe
niile bụ nke o bu n'obi ime n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ nakwa n'ụlọeze nke ya onwe ya.
[12] ONYENWE ANYỊ mere ka ọ hụ ya n'ọhụ abalị sị ya,

"Anụla m ekpere gị, ahọrọkwala m ebe a nye onwe m, ka ọ bụrụ ebe ịchụ aja.
[13] "Mgbe ọbụla m mere ka mmiri ghara izo, maọbụ zidata igurube ka ha bịa bibie
ihe ubi unu, maọbụ zidata ọrịa n'etiti unu, [14] ọ bụrụ na ndị m ndị a kpọkwasịrị aha
m, ewedata onwe ha n'ala, kpee ekpere, chọsie ihu m ike, sitekwa na mmehie ha
chigharịa, aga m esite n'eluigwe za ekpere ha, gbaghara ha mmehie ha, mee ka ala
ha dịrị ndu. [15] Anya m ga-eghere oghe mgbe niile; otu a kwa, ntị m ga-egherekwa
oghe ịhụ na ịnụ ekpere niile a na-ekpe n'ụlọnsọ a. [16] Edoola m ụlọnsọ a nsọ nye
onwe m, ka Aha m dị n'ebe ahụ ruo ebighị ebi; anya m abụọ na obi m ga-adịkwa
n'ebe ahụ ụbọchị niile.
[17] "Ma gị onwe gị, bie ndụ n'ikwesị ntụkwasị obi n'ihu m dịka Devid nna gị mere,
na-eme ihe niile m nyere n'iwu, debe ụkpụrụ m na iwu m niile. [18] Aga m eme ka
ocheeze ọchịchị gị guzosie ike, dịka mụ na nna gị Devid gbara na ndụ, mgbe m
sịrị, 'Ị ghaghị inwe onye nnọchite anya n'ocheeze nke ga-achị Izrel.'
[19] "Ma ọ bụrụ unu alaghachi azụ, gbakụta ụkpụrụ na iwu niile, bụ nke m nyere
unu azụ, pụọ gbasoro chi ndị ọzọ ife ha ofufe, na ịkpọ isiala nye ha, [20] mgbe ahụ,
aga m esite n'ala m, bụ nke m nyere ha, hopu Izrel. Aga m ajụkwa ụlọnsọ a m
doro nsọ nye Aha m, meekwa ka ọ ghọọ ihe e ji atụ ilu na ihe ịkpa ọchị n'etiti ndị
niile. [21] Ọ bụ ezie na ụlọnsọ ukwu a kachasị elu ugbu a, ma ọnọdụ ya ga-eju ndị
niile ga-esi n'akụkụ ya gafee anya, ha ga-asị, 'Gịnị mere ONYENWE ANYỊ ji mee ala
a na ụlọnsọ a, ihe dị otu a?' [22] Ndị mmadụ ga-aza, 'Ọ bụ n'ihi na ha gbakụtara
ONYENWE ANYỊ, Chineke nna nna ha, onye kpọpụtara ha site n'ala Ijipt azụ, makụọ
chi ndị ọzọ, na-akpọ isiala na-efekwa ha ofufe. Ọ bụ n'ihi nke a ka O ji mee ka ihe
ọjọọ niile ndị a bịakwasị ha.' "

## 8

### *Ọrụ ndị ọzọ Solomọn rụrụ*

[1] N'ọgwụgwụ iri afọ abụọ, mgbe Solomọn ji wuo ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ na ụlọeze
nke ya onwe ya, [2] Solomọn wugharịrị obodo ndị ahụ Hiram* nyere ya, mee ka ndị

* **7:9** 7:9 Ya bụ, mmemme Ụlọ ikwu * **8:2** 8:2 Maọbụ, Huram

Izrel biri n'ime ha. 3 Solomọn gara Hamat-Zoba, merie ha. 4 O wuru obodo Tadmọ
nke dị n'ọzara na ọtụtụ obodo nchịkọba ihe na Hamat. 5 O wugharịkwara obodo
Bet-Horon nke dị n'elu elu, wuokwa Ndịda Bet-Horon ka ọ ghọọ obodo e wusiri ike
nke nwere mgbidi, ibo ọnụ ụzọ ama na mkpọrọ e ji kpọchie ha. 6 O wukwara obodo
Baalat na obodo niile nke ebe ịchịkọba ihe, na obodo niile ebe idebe ụgbọ agha na
ịnyịnya ya niile. O wuru ihe ọbụla gụrụ obi ya agụụ iwu na Jerusalem, Lebanọn na
n'oke ala ahụ niile ọ na-achị.
7 Ndị niile fọdụrụ ndụ n'etiti ndị Het, ndị Amọrait, ndị Periz, ndị Hiv na Jebus (ndị
a abụghị ndị Izrel), 8 ndị ụmụ ụmụ ha fọdụrụ n'ala ahụ, ndị ahụ ndị Izrel na-ebibighị,
ndị a ka Solomọn mere ndị ọrụ mmanye na ndị ohu, nke a bụkwa ọnọdụ ha ruo taa.
9 Ma Solomọn emeghị ka onye Izrel ọbụla bụrụ ohu, maka ọrụ ya, kama ha bụ ndị
ikom agha, ndịisi ndị ọchịagha ya, ndịisi ụgbọ agha na ndị na-agba ịnyịnya agha
ya. 10 Ha bụkwa ndịisi ozi nke eze Solomọn, narị ndị ikom abụọ na iri ise bụ ndịisi
na-elekọta ndị mmadụ.
11 Solomọn kpọpụtara ada Fero site n'obodo Devid, gaa n'ụlọeze nke o wuuru ya,
n'ihi na ọ sịrị, "Nwunye m agaghị ebi n'ụlọeze Devid, bụ eze Izrel, n'ihi na ebe ọbụla
igbe ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ banyere abụrụla ebe dị nsọ."
12 Emesịa, Solomọn chụrụ aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ, n'elu ebe ịchụ aja
ONYENWE ANYỊ, nke o wuru n'ihu mpụta ọnụ ụlọ ụlọnsọ ukwu ahụ, 13 ọbụladị dịka
iwu metụtara aja e kwesiri ịchụ kwa ụbọchị si dị, bụ nke Mosis nyere n'iwu. Aja
ndị a bụ maka Ụbọchị Izuike, Ọnwa Ọhụrụ na ụdị mmemme atọ a na-eme n'afọ, ndị
bụ mmemme achịcha ekoghị eko, mmemme izu ụka asaa na mmemme ụlọ Ikwu.
14 O sitere n'usoro ije ozi nke Devid, họpụtara otu ndị nchụaja ọrụ dị iche iche ha
na-arụ ụbọchị niile. O nyekwara ndị Livayị ọrụ idu n'otuto a na-enye Chineke na
inyere ndị nchụaja aka ime ihe ụbọchị ọbụla n'ụbọchị ya. Kenyekwa ndị na-eche
ọnụ ụzọ ụlọnsọ ahụ niile nche oke ọrụ ha n'otu n'otu, n'ihi na nke a bụ ihe Devid,
onye nke Chineke nyere n'iwu. 15 Ha ewezugaghị onwe ha n'iso iwu niile eze nyere
ndị nchụaja maọbụ ndị Livayị banyere ihe ọbụla na ihe gbasakwara ụlọakụ niile.
16 A rụzuru ọrụ niile Solomọn zubere ịrụ, site n'ụbọchị a tọrọ ntọala ụlọnsọ
ukwu ONYENWE ANYỊ tutu ruo mgbe ewuchara ya. Ya mere, e wuchara ụlọnsọ ukwu
ONYENWE ANYỊ.
17 Mgbe ahụ, Solomọn gara Eziọn Geba na Elat nke dị n'ọnụ osimiri, n'ala Edọm.
18 Hiram zigaara ya ọtụtụ ụgbọ mmiri nke ndị ikom ya na-anya ụgbọ mmiri na-
edu, bụ ndị maara ihe banyere ime njem n'osimiri nke ọma. Ndị a, ha na ndị ikom
Solomọn nyaara ụgbọ gaa Ọfịa site n'ebe ahụ bulatara eze Solomọn, ọlaedo ịdị arọ
ya ruru puku kilogram iri na ise na narị atọ.

# 9

*Eze nwanyị Sheba*

1 Mgbe eze nwanyị Sheba nụrụ akụkọ Solomọn, ọ bịara Jerusalem ka o were ọtụtụ
ajụjụ siri ike nwalee ya. O du ọtụtụ ndị ozi bara ụba bịa, tinyere ọtụtụ ịnyịnya kamel
ndị bu ụda dị iche iche, ọtụtụ ọlaedo na ọtụtụ nkume dị oke ọnụahịa dị iche iche.
Ọ bịakwutere Solomọn, ya na ya kparịtara ụka banyere ihe niile nke dị ya n'obi.
2 Solomọn zara ya ajụjụ ya niile. Ọ dịkwaghị ihe siiri ya ike ịkọwara ya. 3 Mgbe eze
nwanyị Sheba hụrụ amamihe Solomọn, ma hụkwa ụlọeze o wuru, 4 na ihe oriri a na-
adọkwasị n'elu tebul ya, usoro ọnọdụ nke ndịisi ọchịchị ya, na ndị guzo na-ejere ya
ozi n'uwe ha yi, ndị na-ebu iko ihe ọṅụṅụ n'uwe ha, na aja nsure ọkụ niile ọ na-achụ
n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. Ọ dịkwaghị ihe ọzọ ọ maara ọ ga-eme, maọbụ kwuo.
5 Ọ sịrị eze, "Akụkọ niile m nọ n'ala nụ banyere ihe niile ị rụpụtara na amamihe
gị bụ eziokwu. 6 Ma ekwenyeghị m ihe ha kwuru tutu ruo mgbe m bịara jiri anya m

abụọ hụ ha. N'ezie, ihe m nụrụ erughị ọkara nke ịdị ukwuu amamihe gị. Ị tụkwasịla
ihe n'akụkọ m nụrụ. 7 Lee, ụdị ọṅụ ndị gị na-enwe. Lee, ụdị ọṅụ nke ndị ozi na-enwe,
bụ ndị na-eguzo n'ihu gị mgbe niile na-anụ okwu amamihe gị. 8 Ngọzị dịrị ONYENWE
ANYỊ Chineke gị, onye nwere mmasị n'ebe ị nọ. O debere gị n'ocheeze ya dịka eze
ịchị n'aha ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị. N'ihi ịhụnanya nke Chineke gị nwere n'ebe
Izrel nọ, na mmasị ya ime ka ha guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi. O meela gị eze ha,
ka ị debe ikpe ziri ezi na ezi omume."

9 Emesịa, O nyere Solomọn onyinye ọlaedo ịdị arọ ya dị puku kilogram anọ, nyekwa
ya ụda dị iche iche, na nkume oke ọnụahịa dị iche iche. Enwebeghị ụdị ụda dịka ndị
ahụ eze nwanyị Sheba nyere eze Solomọn.

10 Ndị ohu Hiram na ndị ohu Solomọn bubatara ọlaedo site n'Ọfịa. Ha butekwara
osisi algụm, na nkume dị oke ọnụahịa dị iche iche. 11 Eze ji osisi algụm ndị ahụ mee
nkwasa nrigo n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, na nke ụlọeze. O jikwa ya meere ndị na-abụ
abụ ụbọ akwara na une. O nwebeghị oge ọzọ e nwere ụdị ngwa egwu e ji osisi ọma
dị otu a kwaa n'ala Juda niile.

12 Eze Solomọn nyekwara eze nwanyị Sheba ihe niile ọ chọrọ na ihe niile bụ nke ọ
rịọrọ. O nyere ya karịa ihe niile o wetaara ya. Emesịa, ọ hapụrụ laghachi n'ala nke
aka ya, ya na ndị na-ejere ya ozi.

### *Ebube ibu eze Solomọn*

13 Ọtụtụ ịdị arọ nke ọlaedo Solomọn na-enweta kwa afọ bụ puku kilogram iri abụọ
na atọ,* 14 na-agụnyeghị uru nke na-esi n'aka ndị na-atụ mgbereahịa na ndị na-azụ
ahịa. Ọzọkwa, ndị eze niile nke dị Arebịa na ndịisi na-achị obodo niile nke ala ahụ,
na-enwetara Solomọn ọlaọcha na ọlaedo.

15 Eze Solomọn kpụrụ narị ọta ọlaedo ukwu abụọ site n'ọlaedo etipịara etipịa. Ọ
bụ ọlaedo ịdị arọ ya ruru kilogram isii ka e ji kpụọ ọta ọbụla. 16 Ọ kpụkwara narị ọta
nta atọ, nke sitere na ọlaedo etipịara etipịa. Ọ bụ ọlaedo ịdị arọ ya ruru kilogram
atọ na ọkara ka eji kpụọ ọta ọbụla. Eze debere ha n'ụlọeze n'Oke Ọhịa Lebanọn.

17 Eze mekwara ocheeze dị ukwu nke e ji ọdụ enyi na ọlaedo a nụchara anụcha
machie 18 Ocheeze ahụ nwere ihe nrigo isii na ihe ịtụkwasị ụkwụ eji ọlaọcha rụọ
nke ejikọtara n'ahụ ya. E nwere ebe ntụkwasị aka n'akụkụ abụọ ya, nke nwere oyiyi
ọdụm abụọ guzo n'akụkụ nke ọbụla n'ime ha. 19 Ọdụm iri na abụọ na-eguzo n'elu
ihe nrigo isii ahụ, otu n'akụkụ isi abụọ nke ihe nrigo ọbụla. Ọ dịkwaghị alaeze ọzọ
dị nke e mere ihe dị otu a nye. 20 Ihe niile Solomọn nwere nke e ji aṅụ ihe bụ ọlaedo
ka e ji mee ha. Ngwongwo niile nke dị n'ime ụlọeze n'Oke Ọhịa Lebanọn bụkwa
ọlaedo a nụchara anụcha ka e ji kpụọ ha. Ọ dịghị ihe e ji ọlaọcha kpụọ, n'ihi na-
agụnyeghị ọlaọcha dịka ihe ọbụla n'oge Solomọn. 21 Eze nwere ọtụtụ ụgbọ mmiri e
ji azụ ahịa nke ndị ohu Hiram na-elekọta. Otu ugbo n'afọ atọ, ka ụgbọ ndị a na-alọta
buru ọlaedo, ọlaọcha na ọdụ enyi, enwe na adaka dị iche iche bata.

22 Eze Solomọn bara ụba n'akụ, nweekwa amamihe karịa ndị eze niile dị n'ụwa.
23 Ndị eze niile nke ụwa na-achọ ihu Solomọn, ka ha nụta okwu amamihe nke Chineke
tinyere n'obi ya. 24 Onye ọbụla bịakwutere ya na-ebutere ya onyinye ịnata ihuọma,
ya bụ ngwa ọlaọcha na ọlaedo, na uwe dị iche iche, ngwa agha, ụda dị iche iche,
ịnyịnya na ịnyịnya muul, nke a bụ kwa afọ, kwa afọ.

25 Solomọn nwere ụlọ anụmanụ dị puku anọ maka ịnyịnya na ụgbọ agha, nwekwa
puku ịnyịnya iri na abụọ ndị o dobere n'obodo ụgbọ agha dị iche iche, na n'ebe eze
nọ na Jerusalem. 26 Ọ chịrị ndị eze niile site n'osimiri Yufretis ruo n'ala ndị Filistia,
rukwaa oke ala ndị Ijipt. 27 Eze mere ka ọlaọcha baa ụba na Jerusalem, dịka nkume

* **9:13** 9:13 Narị talenti isii na talenti iri isii na isii

efu. O mekwara ka osisi sida dịka osisi sikamọ nke dị n’ala ala ugwu dị iche iche.
28 A na-esite n’Ijipt na n’ala ndị ọzọ dị iche iche atụbatara Solomọn ịnyịnya.

*Ọnwụ Solomọn*

29 Ma banyere Ihe ndị ọzọ mere n’oge ọchịchị Solomọn, site na mmalite ruo
n’ọgwụgwụ, ọ bụ na-edeghị ha n’akwụkwọ Netan onye amụma, n’ime akwụkwọ
amụma Ahija, onye Shilo, nakwa n’ọhụ Ido onye ọhụ ụzọ, banyere Jeroboam nwa
Nebat? 30 Solomọn chịrị Izrel niile iri afọ anọ na Jerusalem. 31 O sooro nna nna ya
ha dina n’ọnwụ. E lie ya n’obodo Devid bụ nna ya. Rehoboam nwa ya ghọkwara eze
n’ọnọdụ ya.

# 10

*Nnupu isi Izrel megide ọchịchị Rehoboam*

1 Rehoboam gara Shekem n’ihi na Izrel niile zukọrọ ebe ahụ ime ya eze. 2 Mgbe
Jeroboam nwa Nebat nụrụ nke a (ọ nọ n’Ijipt ebe ọ gbagara ọsọ ndụ site n’aka eze
Solomọn) o sitere Ijipt lọta. 3 Ya mere, ha ziri ozi kpọọ Jeroboam, ya na ndị Izrel niile
jekwuru Rehoboam sị ya: 4 “Nna gị boro anyị ibu arọ, ma ugbu a mee ka ibu arọ na
ịyagba arọ a nke o bokwasịrị anyị dị mfe, anyị ga-ejere gị ozi.”

5 Rehoboam zara ha sị, “Bịaghachikwutenụ m mgbe ụbọchị atọ gasịrị.” N’ihi ya
ndị ahụ lara.

6 Mgbe ahụ, eze Rehoboam gara ịnata ndụmọdụ n’aka ndị okenye, bụ ndị jeere
nna ya Solomọn ozi n’oge ọ dị ndụ ya, sị ha, “Olee ndụmọdụ unu ga-enye m maka
mụ inye ndị a ọsịsa?”

7 Ha zara ya, “Ọ bụrụ na ị ga-emere ha ihe ọma, mee ihe ga-atọ ha ụtọ, nyekwa ha
ọsịsa dị mma, ha ga-anọgide bụrụ ndị ohu gị mgbe niile.”

8 Ma ọ nabataghị ndụmọdụ ndị okenye nyere ya, ọ gakwuru ụmụ okorobịa ndị ya
na ha tokọrọ, bụkwa ndị na-ejere ya ozi, ka ha nye ya ndụmọdụ. 9 Rehoboam jụrụ
ha sị, “Gịnị bụ ndụmọdụ unu? Gịnị bụ ọsịsa anyị ga-enye ndị a na-asị, ‘Mee ka ibu
arọ nna gị bokwasịrị anyị dị mfe’?”

10 Ụmụ okorobịa ahụ, bụ ndị ya na ha tokọrọ, zaghachiri sị, “Gwa ndị ahụ sịrị
gị, ‘Nna gị bokwasịrị anyị ibu arọ, ma mee ka ibu anyị dị mfe,’ ị ga-agwa ha, sị,
‘Mkpịsịaka nta dị n’aka m gbara okpotokpo karịa ukwu nna m. 11 Nna m boro unu
ibu arọ; aga m atụkwasị ihe n’ibu ahụ mee ka ọ dị arọ karịa. Nna m ji apịpịa dọọ
unu aka na ntị, maọbụ akpị ka m ga-eji mekpaa unu ahụ.’”

12 Mgbe ụbọchị atọ gasịrị, Jeroboam na ndị Izrel niile bịaghachiri ịnụrụ ọsịsa
Rehoboam, dịka eze kwuru, sị, “Laghachitenụ n’ụbọchị nke atọ.” 13 Eze sara ha
okwu n’olu dị ike. Ọ jụrụ ndụmọdụ ndị okenye 14 ma gbasoro ndụmọdụ nke ụmụ
okorobịa nyere, ọ sịrị, “Nna m mere ka ibu unu dị arọ, aga m eme ka ibu unu dị arọ
karịa. Nna m ji apịpịa dọọ unu aka na ntị, aga m eji akpị mekpaa unu ahụ.” 15 Ya
mere, eze aṅaghị ndị ahụ ntị, n’ihi mgbanwe nke ọnọdụ niile a sitere n’ebe Chineke
nọ, ka e mezuo okwu ahụ ONYENWE ANYỊ gwara Jeroboam nwa Nebat site n’ọnụ Ahija
onye Shilo.

16 Mgbe Izrel niile hụrụ na eze jụrụ ige ha ntị, ha zaghachiri ya sị,
“Olee oke anyị nwere n’ime Devid?
Olee ihe nketa anyị nwere n’ime nwa Jesi?
Ndị Izrel, laanụ n’ụlọ ikwu unu!
Gị Devid lekọtakwa ụlọ nke gị.”
Nke a mere, ka ndị Izrel niile laa n’ụlọ ha. 17 Ma banyere ndị Izrel bi n’obodo niile
nke Juda, Rehoboam gara n’ihu bụrụ eze ha.

18 Eze Rehoboam zipụrụ Adoniram* onyeisi na-elekọta ndị ọrụ mmanye ma ndị
Izrel ji nkume tugbuo ya. Ma eze Rehoboam jisiri ike gbaba n'ime ụgbọ agha ya,
gbalaga laa Jerusalem. 19 Ya mere, Izrel nọ na nnupu isi megide ụlọ Devid ruo taa.

# 11

1 Mgbe Rehoboam bịarutere Jerusalem, ọ kpọkọtara ndị ụlọ Juda niile na ndị ebo
Benjamin, ha dị narị puku na iri asatọ n'ọnụọgụgụ, ụmụ okorobịa ndị tozuru ịga
agha, ka ha gaa buso ụlọ Izrel agha ma weghachitekwa alaeze n'okpuru ọchịchị
Rehoboam.
2 Ma okwu ONYENWE ANYỊ rutere Shemaya, onye nke Chineke ntị: 3 "Gwa Rehoboam,
nwa Solomọn eze Juda, na Izrel niile nọ na Juda na Benjamin, 4 Otu a ka ONYENWE
ANYỊ kwuru, 'Unu agakwala gaa buso ndị Izrel ibe unu agha. Laghachinụ, nwoke
ọbụla n'ụlọ ya, n'ihi na ọ bụ m na-eme ihe ndị a.' " Ya mere, ha rubere isi n'okwu
niile nke ONYENWE ANYỊ. Ha tụgharịrị laghachi azụ n'ịga megide Jeroboam.

### *Rehoboam ewusie obodo Juda ike*

5 Rehoboam bigidere na Jerusalem wusie obodo ndị dị na Juda ike n'ihi nchedo.
6 Obodo ndị a bụ Betlehem, Etam, Tekoa, 7 Bet Zoa, Soko, Adulam, 8 Gat, Maresha, Zif,
9 na Adoraim, Lakish, Azeka 10 Zora, Aijalon na Hebrọn. Obodo ndị a bụkwa obodo
ndị Juda na Benjamin e wusiri ike. 11 O wusiri ha ike tinye ndịisi agha n'ime ha,
tinyekwa ihe oriri na mmanụ oliv na mmanya. 12 O tinyere ọta na ùbe n'ebe niile a
na-edebe ngwa agha n'obodo niile, n'ihi iche obodo ya nke ọma, ebe ọ bụ naanị Juda
na Benjamin nọ n'okpuru ya.
13 Ma ndị nchụaja niile na ndị Livayị ndị sitere n'akụkụ niile nke Izrel dịnyere
ya. 14 Ndị Livayị hapụchara ebe ịta nri anụ ụlọ ha na ihe niile ha nwere bịa biri
na Juda na Jerusalem, n'ihi na Jeroboam na ụmụ ya ndị ikom jụrụ ha dịka ndị
nchụaja ONYENWE ANYỊ. 15 Ọ họpụtara ndị nchụaja nke aka ya, maka ebe niile dị
elu, nakwa ife arụsị ewu na nwa ehi ndị ahụ ọ kpụrụ. 16 Ndị si n'ebo niile nke Izrel,
ndị kpebiri n'obi ha ịchọ ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel sooro ndị Livayị bịa Jerusalem
ịchụ aja nye ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna ha. 17 Ha mere ka alaeze Juda sie ike.
Ha kwagidekwara Rehoboam nwa Solomọn afọ atọ, na-agbasokwa n'ụzọ niile nke
Devid na Solomọn n'oge a.

### *Ezinaụlọ Rehoboam*

18 Rehoboam, lụrụ Mahalat, bụ nwa nwanyị Jerimot nwa Devid, na Abihail,
nwa nwanyị Eliab, nwa Jesi. 19 Ọ mụtaara ya ụmụ ndị ikom atọ ndị a: Jeush,
na Shemaraya, na Zaham. 20 Emesịa, ọ lụkwara nwunye ọzọ aha ya bụ Maaka,
nwa nwanyị Absalọm. Ụmụ ha mụtara bụ Abija, na Atai, na Ziza, na Shelomit.
21 Rehoboam hụrụ Maaka nwa nwanyị Absalọm n'anya karịa ndị nwunye ya na ndị
iko ya nwanyị niile. O nwere ndị nwunye iri na asatọ, nweekwa iri ndị iko nwanyị
isii. Ọ mụtara iri ndị ikom abụọ na asatọ, na iri ụmụ nwanyị isii.
22 Rehoboam mere Abija nwa Maaka onyeisi n'etiti ụmụ eze niile n'ihi na ọ chọrọ
ime ya eze. 23 O ji ezi uche zipụchaa ụmụ ya ndị ikom gaa n'ala ndị Juda na Benjamin,
nakwa n'obodo ndị ahụ e wusiri ike. O nyere ha ihe e ji elekọta ndụ n'ebe ọ bara
ụba ma lụọkwara ha ọtụtụ ndị inyom.

# 12

### *Shishak ebusoo Jerusalem agha*

* **10:18** 10:18 Maọbụ, Hadoram

1 Ma mgbe e mere ka alaeze Rehoboam guzosie ike, mgbe ọ dịkwa ike, ọ hapụrụ
iwu ONYENWE ANYỊ ya na ndị Izrel[*] niile. 2 N'ihi na ha ekwesighị ntụkwasị obi nye
ONYENWE ANYỊ, Shishak eze Ijipt busoro Jerusalem agha n'afọ nke ise nke ọchịchị eze
Rehoboam. 3 O ji otu puku ụgbọ agha na narị abụọ, na ndị agha na-agba ịnyịnya
dị puku iri isii, na ndị agha ụkwụ ala, ndị a na-apụghị ịgụta ọnụ, ndị agha si Libịa,
Sukim na Kush, ndị sooro ya site n'ala Ijipt. 4 O merikwara obodo niile e wusiri ike
nke Juda ma bịarukwaa Jerusalem.
5 Mgbe ahụ, Shemaya onye amụma bịakwutere Rehoboam na ndịisi Juda niile, ndị
zukọtara na Jerusalem n'ihi egwu Shishak, sị ha, "Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị, 'Unu
ahapụla m, n'ihi ya, ahapụkwala m unu, nyefee unu n'aka Shishak.' "
6 Ndị ndu Izrel na eze wedara onwe ha n'ala sị, "Onye ezi omume ka ONYENWE
ANYỊ bụ."
7 Mgbe ONYENWE ANYỊ hụrụ otu ha si weda onwe ha n'ala, okwu ONYENWE ANYỊ
bịakwutere Shemaya, sị, "Ebe ọ bụ na ha ewedala onwe ha n'ala, agakwaghị m ebibi
ha kama aga m eme ka ha nwe nzọpụta ngwangwa. Agakwaghị m eji Shishak gosi
Jerusalem oke iwe m. 8 Ma otu ọ dị, ha ga-abụrụ ya ohu, ka ha nwe ike mata ọ dị
iche dị n'etiti ijere m ozi na ijere ndị eze ala ọzọ dị iche iche ozi."
9 Mgbe Shishak eze Ijipt busoro Jerusalem n'agha; o bukọrọ akụ niile dị n'ime ụlọ
ONYENWE ANYỊ, na akụ niile dịkwa n'ụlọeze. Ọ kwakọọrọ ihe niile, werekwa ọta
ọlaedo ndị ahụ Solomọn kpụrụ. 10 Ma eze Rehoboam kpụrụ ọta bronz i ji dochie
ndị ahụ, nyefee ha n'aka ndịisi ndị nche, bụ ndị na-eche n'ọnụ ụzọ ụlọeze nche ka
a lekọta ha anya. 11 Mgbe ọbụla eze na-aga n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, ndị nche
na-eso ya buru ọta ndị ahụ, emesịa, ha na-ebughachikwa ha n'ime ụlọ ndị nche.
12 Mgbe eze wedara onwe ya n'ala, iwe ONYENWE ANYỊ na-eweso ya dajụrụ, Ọ
laghịkwa ya n'iyi kpamkpam. N'ezie, ezi ihe fọdụkwara na Juda.
13 Eze Rehoboam mere onwe ya ka ọ dị ike na Jerusalem na-achịkwa ka eze. Ọ gbara
iri afọ anọ na otu mgbe ọ malitere ịbụ eze, ọ chịrị afọ iri na asaa na Jerusalem, bụ
obodo ahụ ONYENWE ANYỊ họọrọ site n'etiti ebo niile nke Izrel, bụ ebe ọ ga-akpọkwasị
Aha ya. Aha nne ya bụ Naama, onye Amọn. 14 O mere ihe ọjọọ, n'ihi na ọ dịghị mgbe
ọbụla o kpebiri n'obi ya ịchọ ONYENWE ANYỊ.
15 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Rehoboam, site na mmalite ruo
ọgwụgwụ, ọ bụ na e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ nke Shemaya onye amụma na nke
Ido onye ọhụ ụzọ, nke na-ahụ maka ihe banyere usoro ọmụmụ niile? Agha dịgidere
n'etiti Rehoboam na Jeroboam ụbọchị niile nke ndụ ha. 16 Rehoboam sooro ndị nna
nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya n'obodo Devid. Abija nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

# 13

*Abija eze Juda*

1 Abija malitere ịbụ eze Juda, n'afọ iri na asatọ nke ọchịchị eze Jeroboam. 2 Ọ chịrị
afọ atọ na Jerusalem. Aha nne ya bụ Maaka,[*] otu n'ime ụmụ nwanyị[†] Uriel, onye
Gibea.
Agha dịgidere n'etiti Abija na Jeroboam. 3 Abija họpụtara ndị ya dị ike n'agha
bụ ndị ọnụọgụgụ ha dị narị puku anọ, ma Jeroboam eze Izrel họpụtara ndị agha
ọnụọgụgụ ha dị narị puku asatọ doo ha n'usoro.
4 Abija guzoro n'ugwu Zemaraim n'ala ugwu ugwu Ifrem jiri oke olu sị "Jeroboam
na ndị Izrel niile geenụ m ntị! 5 Unu amataghị na ONYENWE ANYỊ Chineke nke Izrel
esitela n'ọgbụgba ndụ nnu nyefee ọchịchị ala Izrel niile n'aka Devid na ụmụ ụmụ
ya ruo ebighị ebi? 6 Ma Jeroboam, nwa Nebat, bụ onye ọrụ Solomọn nwa Devid,

---

[*] **12:1** 12:1 Izrel n'ebe a na-ekwu maka ndị Juda, otu a ka ọ dịkwa n'akwụkwọ 2Ih. [*] **13:2** 13:2 Maọbụ, Mịkaya [†] **13:2** 13:2 Maọbụ, nwa nwa

nupuru isi megide onyenwe ya. 7 Ndị efu niile na-abaghị uru chịkọtara onwe ha
gbaa ya gburugburu guzogide Rehoboam nwa Solomọn, mgbe ọ bụ nwantakịrị na
onye na-enweghị ike inwe mkpebi, onye n'adịghịkwa ike iguzogide ha.
8 "Ma ugbu a, unu ejikerela imegide alaeze ONYENWE ANYỊ nke dị n'aka ụmụ ụmụ
Devid. N'ezie, unu bu igwe ndị agha bara ụba, n'etiti unu ka ụmụ ehi ọlaedo ahụ
dịkwa, bụ nke Jeroboam mere ka ha buru chi unu. 9 Ma unu achụpụghị ndị nchụaja
ONYENWE ANYỊ, bụ ụmụ Erọn, chụpụkwa ndị Livayị ma meere onwe unu ndị nchụaja
dịka ndị mba ọzọ na-eme? Onye ọbụla ji nwa oke ehi na ebule asaa bịa ido onwe ya
nsọ na-aghọrọ unu onye nchụaja nye ihe ndị ahụ na-abụghị chi.
10 "Ma banyere anyị, ONYENWE ANYỊ bụ Chineke anyị, anyị ahapụbeghị ya. Ndị
nchụaja na-ejere ONYENWE ANYỊ ozi bụ ụmụ Erọn, ndị Livayị bụkwa ndị na-enyere
ha aka. 11 Ha na-achụ aja nye ONYENWE ANYỊ kwa ụtụtụ na anyasị niile, na-esurekwa
ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ; ma na-edobekwa achịcha edoro nsọ n'elu tebul ahụ dị
ọcha. Ha na-amụnyekwa ọkụ n'iheọkụ ndị ahụ dị n'elu ihe ịdọba oriọna ọlaedo
kwa abalị niile. N'ihi na anyị onwe anyị na-edebe iwu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị;
ma unu onwe unu ahapụla ya, gbakụta ya azụ. 12 Chineke nọnyeere anyị. Ọ bụkwa
onyendu anyị. Ndị nchụaja ya ga-eji ịfụ opi ike tie mkpu agha megide unu. Unu ndị
Izrel, unu alụsokwala ONYENWE ANYỊ bụ Chineke nna unu ha ọgụ n'ihi na mmeri
agaghị abụ nke unu!"
13 Ma Jeroboam ezipụlarị ụfọdụ ndị agha ya ka ha ga ndị agha Juda n'azụ. Mgbe
Jeroboam nọ n'ihu ndị Juda, ụfọdụ ndị agha ya nọkwa ndị Juda n'azụ. 14 Mgbe ndị
agha Juda tụgharịrị hụ na agha dị ha n'ihu dịkwa n'azụ, ha tikuru ONYENWE ANYỊ
mkpu nzọpụta, ndị nchụaja fụkwara opi ike ha. 15 Ndị Juda tiri oke mkpu agha. Mgbe
ha na-eti mkpu a, Chineke mere ka Abija na ndị Juda merie Jeroboam na ndị Izrel.
16 Ndị agha Izrel gbara ọsọ n'ihu ndị Juda, Chineke nyefere ha n'aka ndị Juda. 17 Abija
na ndị agha ya gburu narị puku ndị Izrel ise n'ụbọchị ahụ. 18 Ya mere, ntụkwasị obi
nke Juda nwere n'ime ONYENWE ANYỊ Chineke nna ha mere ka ha merie Jeroboam na
ndị Izrel.
19 Abija chụkwara Jeroboam na ndị agha ya ọsọ dọta obodo ndị a n'agha: Betel, na
Jeshana, na Efrọn, na obodo niile gbara ha gburugburu. 20 Jeroboam enwetakwaghị
ike ya ọzọ oge niile Abija nọ dịka eze. Ma ọ dịghị anya ONYENWE ANYỊ tidara ya tigbuo
ya.
21 Ma Abija gara n'ihu bụrụ onye dị ike, ọ lụrụ nwunye iri na anọ, mụọ iri ụmụ
nwoke abụọ na abụọ, na ụmụ ndị nwanyị iri na isii.
22 Akụkọ niile banyere ọchịchị Abija, ihe o mere na ihe o kwuru, dị n'akwụkwọ
akụkọ nke Ido onye amụma dere.

## 14

1 Abija sooro nna nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya n'obodo Devid. Asa, nwa ya
nwoke ghọrọ eze n'ọnọdụ ya. Udo dịkwa afọ iri n'ụbọchị ịbụ eze ya.

### *Asa eze Juda*

2 Asa mere ihe dị mma na nke ziri ezi n'anya ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ya.
3 Ọ wezugakwara ebe ịchụ aja nke chi ọzọ niile dị n'ugwu, tipịa ogidi nsọ niile,
gbujasịakwa ogidi Ashera. 4 O nyere Juda iwu ka ha chọọ ONYENWE ANYỊ Chineke
nke nna ha, ka ha debekwa iwu ya na ụkpụrụ ya niile. 5 O wezugakwara ebe niile
a na-efe arụsị n'elu ugwu, bibiekwa ebe niile a na-esure ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ
n'obodo Juda. Alaeze ahụ nwekwara udo n'okpuru ọchịchị ya. 6 O wuru ọtụtụ obodo
e ji mgbidi gbaa gburugburu n'ala Juda niile. O nweghị onye busoro ya agha, n'ihi
na ONYENWE ANYỊ nyere ya udo.

7 N'ihi nke a, ọ gwara ndị Juda sị ha, "Ugbu a ka anyị kwesiri iwu obodo ndị a.
Ka anyị wuokwa mgbidi gburugburu ha, wuokwa ụlọ elu nche, tinyesịa ha niile ibo
ọnụ ụzọ ama, na mkpọrọ e ji akpọchi ya, ala a bụ nke anyị, n'ihi na ONYENWE ANYỊ
Chineke onye anyị ji obi anyị chọsie ike enyela anyị udo." Ya mere, ha wuru ihe ndị
a niile nwekwa ọganihu.
8 Ọnụọgụgụ ndị agha Asa ndị si Juda n'oge ahụ bụ narị puku atọ. Ngwa agha ha
ji bụ ọta ukwu na ùbe. Ndị agha ya ọzọ si Benjamin dị narị puku abụọ na iri puku
mmadụ asatọ. Ndị a jikwa ọta na ụta. Ndị agha ndị a niile bụ ndị a zụziri azụzi,
bụrụkwa ndị dị ike.
9 Zera, bụ onye Kush duru puku kwụrụ puku,* na narị ụgbọ agha atọ, bịaruo
Maresha ibuso Juda agha. 10 Asa pụrụ izute ya. Ha doro onwe ha n'usoro ibu agha
na Ndagwurugwu Zefata nke dị Maresha nso.
11 Mgbe ahụ, Asa kpọkuru ONYENWE ANYỊ Chineke ya, si, "ONYENWE ANYỊ ọ dịghị
onye dịka gị n'inyere onye na-adịghị ike aka n'ihu onye dị ike nke ukwuu. Nyere
anyị aka, O ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, n'ihi na anyị dabere na gị. Ọ bụkwa n'aha
gị ka anyị na-apụ ibuso igwe a agha. O ONYENWE ANYỊ i bụ Chineke anyị. Ekwela ka
ọ bụrụ na mmadụ efu meriri gị."
12 ONYENWE ANYỊ tigbukwara ndị Kush niile ahụ n'ihu Asa na Juda. Ndị Kush
gbakwara ọsọ. 13 Asa na ndị agha ya chụrụ ha ọsọ chụruo ha obodo Gera ebe ọtụtụ
ndị Kush dara, ruo na o nwekwaghị onye fọdụrụ ndụ n'ime ha. E tigburu ha n'ihu
ONYENWE ANYỊ na ndị agha ya. Ndị Juda bukọọrọ ọtụtụ ihe nkwata n'agha dị iche
iche. 14 Ha bibiri obodo niile gbara Gera gburugburu, n'ihi na egwu ONYENWE ANYỊ
dakwasịrị obodo ndị ahụ niile. Ndị Juda bukọọrọ ọtụtụ ihe nkwata n'ihi na ọtụtụ
ihe dị n'obodo ndị ahụ. 15 Ha busokwara ebe obibi ndị na-azụ anụ ụlọ agha, chikọrọ
igwe atụrụ na ewu na ịnyịnya kamel. Emesịa ha laghachiri Jerusalem.

# 15

*Mgbanwe Asa wetara*

1 Mgbe ahụ, Mmụọ nke Chineke dakwasịrị Azaraya nwa Oded. 2 Ọ pụrụ jekwuru
Asa sị ya, "Geenụ m ntị, gị Asa na ndị Juda niile na Benjamin. ONYENWE ANYỊ ga-
anọnyere unu oge niile unu na-eme okwu ya. Unu ga-achọta ya mgbe ọbụla unu
chọrọ ya. Ma ọ ga-agbakụta unu azụ oge ọbụla unu nupuru isi n'iwu ya.* 3 Ma
ọtụtụ oge dị anya ndị Izrel nọ na-enweghị Chineke nke ezie, ha enweghịkwa onye
nchụaja ga-ezi ihe, ha enweghịkwa iwu Chineke 4 Ma mgbe ọbụla ha chigharịkwutere
ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel tikuo ya n'ime mkpagbu ha, ọ na-enyere ha aka. 5 N'oge
ahụ, ọ dịghị udo dịrị onye ọbụla na-apụ apụ ịgagharị n'obodo, maka na ndị niile bi
n'ala ahụ nọ n'ọnọdụ oke ọgbaaghara. 6 Otu obodo na-azọpịa obodo ọzọ ebe otu
mba na-emegidekwa mba ọzọ n'ihi na Chineke ji nsogbu dị iche iche megide ha. 7 Ma
unu ndị Juda, unu adala mba n'ọrụ ọma unu, n'ihi na a ga-akwụ unu ụgwọ ọrụ unu."
8 Mgbe Asa nụrụ okwu ndị a, bụ amụma Azaraya nwa Oded, ọ bụ onye a gbara
ume. O wepụrụ ihe arụ niile dị n'ala Juda na Benjamin na nke dị n'obodo niile ahụ
o meriri n'agha ndị dị n'ugwu Ifrem. Ọ wuziri ebe ịchụ aja ONYENWE ANYỊ, nke dị
n'ihu mpụta ọnụ ụlọ ụlọnsọ ukwu nke ONYENWE ANYỊ.
9 Mgbe ahụ, Asa kpọrọ ndị Juda na Benjamin niile oku, ha na ndị ọbịa niile si Izrel,
n'ihi na ọtụtụ sitere n'ala Ifrem na Manase, na Simiọn gbafeta Juda, mgbe ha hụrụ
na ONYENWE ANYỊ Chineke nọnyeere Asa.
10 Ha niile zukọrọ na Jerusalem n'ọnwa nke atọ n'afọ nke iri na ise nke ọchịchị eze
Asa. 11 N'oge ahụ, ha ji narị ehi asaa na puku atụrụ na ewu asaa, chụọrọ ONYENWE

* **14:9** 14:9 Ihe ruru otu nde mmadụ * **15:2** 15:2 Maọbụ, unu gbakụtara ya azụ

ANYỊ aja n'ụbọchị ahụ. Anụmanụ ndị a so n'ihe ha kwatara n'agha. [12] Emesịa,
n'ụbọchị ahụ, ha gbara ndụ, kpebie na ọ bụ naanị ONYENWE ANYỊ Chineke nna ha ka
ha ga-efe. [13] Ha kpebikwara na onye ọbụla nke na-agaghị efe ONYENWE ANYỊ, Chineke
Izrel ga-anwụ, ma onye ahụ ọ bụ nwoke maọbụ nwanyị, nwantakịrị maọbụ okenye.
[14] Ha niile ji oke olu na iti mkpu na opi na opi ike, ṅụọrọ ONYENWE ANYỊ iyi. [15] Ndị
Juda niile ṅụrịrị ọṅụ n'ihi na ha ji obi ha niile ṅụọ iyi a. Ha jikwa obi ha niile chọọ
Chineke. O mere ka ha chọta ya. ONYENWE ANYỊ nyekwara ha udo n'akụkụ niile.
[16] Eze Asa chụdakwara nne nne ya bụ Maaka, site n'ọnọdụ ya dịka nne eze, n'ihi
na ọ kpụrụ ihe arụ, ogidi Ashera maka iji fee ya ofufe. Asa gbuturu ya, sụpịa ya,
kpọọ ya ọkụ na ndagwurugwu iyi Kidrọn. [17] Ọ bụ ezie na o wezugaghị ugwu niile dị
elu site n'Izrel, ma Asa ji obi zuruoke jere ONYENWE ANYỊ ozi n'oge ndụ ya niile [18] O
webatara n'ime ụlọnsọ ukwu Chineke, ọlaọcha na ọlaedo na ihe niile, nke nna ya na
ya onwe ya doro nsọ.
[19] Ọ dịkwaghị agha ọzọ a lụrụ tutu ruo n'afọ iri atọ na ise nke ọchịchị eze Asa na
Juda.

# 16

### *Afọ Ikpeazụ nke Asa*

[1] N'afọ nke iri atọ na isii nke ọchịchị Asa, Baasha eze Izrel, busoro Juda agha,
wuchie Rema igbochi onye ọbụla na-apụ apụ maọbụ onye na-abata abata n'oke ala
Asa, eze Juda.
[2] Mgbe ahụ, Asa chịịrị ọlaọcha na ọlaedo niile dị n'ụlọakụ ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ,
na ndị dị n'ụlọeze ya, zigara Ben-Hadad, eze Aram, onye na-achị na Damaskọs, sị,
[3] "Biko, ka anyị gbaa ndụ dịka nna m na nna gị mere. Lee, ana m ezitere gị ọlaọcha
na ọlaedo. Ugbu a, mebie ọgbụgba ndụ dị n'etiti gị na Baasha, bụ eze Izrel, ka o si
n'ebe m nọ wezuga onwe ya."
[4] Ben-Hadad kwenyere eze Asa, zipụ ndị ọchịagha ndị agha ya ka ha gaa buso obodo
Izrel niile agha. Ha lụgburu Ijon, Dan, Ebel-Maim* na obodo niile a na-achịkọbata
ihe dị na Naftalị. [5] Mgbe Baasha nụrụ nke a, ọ kwụsịrị iwu Rema, hapụkwa ọrụ ya.
[6] Mgbe ahụ, eze Asa chịịrị ndị ikom niile nke Juda. Ha bịara bupusịa nkume na osisi
niile dị na Rema, nke Baasha ji na-ewu ihe. O ji ihe ndị a wulie Geba na Mizpa.
[7] N'oge ahụ Hanani, bụ onye ọhụ ụzọ bịakwutere Asa, bụ eze Juda sị ya, "Ebe ọ bụ
na ị hapụrụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị, tụkwasị eze Aram obi, lee na usuu ndị agha
Siria esitela n'aka gị wezuga onwe ha. [8] Ndị Kush na ndị Libịa, ha abụghị usuu ndị
agha ji ọtụtụ ụgbọ agha, na ndị na-agba ịnyịnya? Ma mgbe ị dabeere na ONYENWE
ANYỊ, o nyefere ha n'aka gị. [9] N'ihi na anya ONYENWE ANYỊ na-agazu ụwa niile, ịgba
ha ume bụ ndị obi ha zuruoke n'ebe ọ nọ. I meela omume nzuzu na nke a, site ugbu
a gaa n'ihu ị ga na-enwe agha."
[10] Iwe were Asa megide onye ọhụ ụzọ a n'ihi nke a; iwe were ya nke ukwuu nke
mere na ọ tụnyere Hanani n'ụlọ mkpọrọ. Sitekwa n'oge ahụ, Asa bidoro imekpa
ụfọdụ n'ime ndị ya ahụ.
[11] Ihe banyere ihe ọzọ niile n'oge ọchịchị Asa, site na mmalite ruo ọgwụgwụ ka e
dere n'ime akwụkwọ ndị eze Juda na Izrel. [12] N'ime iri afọ atọ na itoolu nke ọchịchị
ya, eze Asa rịara ọrịa nke metụtara ụkwụ ya abụọ. Ọ bụ ezie na ọrịa a siri nọọ ike
ma n'ime ọnọdụ ya ọ chọghị enyemaka site n'aka ONYENWE ANYỊ kama ọ bụ naanị ndị
dibịa ka o jekwuru. [13] Asa nwụrụ n'iri afọ anọ na otu nke ọchịchị eze ya, sooro ndị
nna nna ya ha dina n'ọnwụ. [14] Ha liri ya n'ili nke ọ waara onwe ya n'obodo Devid.
Ha dobere ya n'elu ihe ịdọba ozu nke jupụtara na ụda dị iche iche, na mmanụ na-esi

* **16:4** 16:4 Aha ọzọ e ji mara ya bụ Ebel-Bet-Maaka

isi ụtọ nke a gwọkọtara nke ọma, surekwara ya ihe nsure ọkụ n'ebe ọ dị ukwuu iji
kwanyere ya ugwu.

# 17

*Jehoshafat eze Juda*

1 Jehoshafat nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya, o mere onwe ya ka ọ dị ike imegide
Izrel. 2 O tinyere ụfọdụ ndị agha ya n'obodo niile dị na Juda e wusiri ike, tinyekwa
ụfọdụ n'obodo ndị ọzọ dị n'Ifrem, na ebe ndị ọzọ niile nke nna ya, Asa meriri n'agha.
3 Onyenwe anyị nọnyeere Jehoshafat n'ihi na o sooro nzọ ụkwụ nna ya, bụ Devid,
onye buuru ya ụzọ chịa. Ọ jụghị ase site n'aka Baal, 4 kama ọ chọrọ Onyenwe anyị,
Chineke nna ya, dobekwa iwu ya niile, ọ bụghịkwa dịka omume ndị Izrel si dị. 5 N'ihi
nke a Onyenwe anyị mere ka ọchịchị ya guzosie ike. Ndị Juda niile tụkwara ụtụ ha
dịka o kwesiri wetara Jehoshafat, nke a mere ka o nwee akụnụba ebe ọ dị ukwuu,
nwekwa nsọpụrụ. 6 O ji obi ya niile gbasoo ụzọ Onyenwe anyị. Ọzọkwa, o sitere na
Juda wezuga ebe niile dị elu nakwa ogidi Ashera niile.
7 N'afọ nke atọ nke ọchịchị ya, o zipụrụ ndịisi ọchịchị alaeze ya ndị a, Ben-Hail,
Ọbadaya, Zekaraya, Netanel na Mikaya ka ha gaa zie ndị mmadụ ihe n'obodo niile
nke Juda. 8 Ụfọdụ ndị Livayị ndị a sokwa gaa: Shemaya, Netanaya, Zebadaya, Asahel,
Shemiramot, Jehonatan, Adonaịja, Tobaịja, Tob-Adonaịja na ndị nchụaja ụfọdụ, ndị
dị ka Elishama na Jehoram. 9 Ha ji akwụkwọ iwu Onyenwe anyị, zie ihe na Juda. Ha
jere gburugburu obodo niile nke Juda na-ezi ndị mmadụ ihe.
10 Egwu Onyenwe anyị dakwasịrị alaeze niile dị gburugburu Juda, n'ihi ya, ha
ebukwaghị agha megide Jehoshafat. 11 Ụfọdụ n'ime ndị Filistia wetaara ya onyinye
na ọlaọcha kwa afọ n'ụzọ ịkwanyere ya ugwu, ma ndị Arab, wetaara ya igwe anụ
ụlọ dị puku ebule asaa na narị asaa, na puku mkpi asaa na narị asaa.
12 Ya mere, Jehoshafat ghọrọ eze dị ike. O wusiri obodo ndị dị na Juda ike, wukwaa
obodo ịchịkọba ihe. 13 O nwekwara ihe ndị ọ chịkọbara n'ọtụtụ obodo Juda. O
debekwara ndị agha ibu agha doro anya n'ime Jerusalem. 14 Ngụkọta ha dịka e si
dekọọ ya n'ezinaụlọ si dị:

Ndị si Juda, ndịisi agha na-achị puku ndị agha (1,000),
Adna, onyeisi agha, na-achị narị puku ndị agha atọ (300,000),
15 onye na-eso ya bụ Jehohanan, onyeisi agha, na-achị narị puku ndị agha abụọ na iri puku asatọ (280,000),
16 ọzọ, Amasiya nwa Zikri, onye ji afọ ofufu* nye onwe ya maka ọrụ Onyenwe anyị, na-achị narị puku ndị agha abụọ (200,000).
17 Ndị si Benjamin,
Eliada, dimkpa n'agha, na-achị narị puku ndị agha abụọ (200,000), ndị ji akụ na ụta, na ọta ebu agha.
18 Onye ọzọ bụ Jehozabad, onye na-achị narị puku ndị agha na iri puku asatọ (180,000), ndị jikeere ibu agha.

19 Ndị a bụ ndị ikom na-ejere eze ozi, n'agụnyeghị ndị ahụ o tinyere ka ha nọdụ
n'obodo niile e wusiri ike dị n'ime Juda.

# 18

*Amụma Maịkaya megide Ehab*

* **17:16** 17:16 Họpụtara

1 Ugbu a, Jehoshafat nwere akụnụba na ugwu buru ibu, bịakwa ghọọ ọgọ Ehab.
2 Mgbe afọ ole na ole gasịrị, Jehoshafat gara Sameria ileta Ehab. Ehab gbuuru ya na
ndị ya na ha yi ọtụtụ atụrụ na ehi, ọ kpọrọ oriri kwagide ya ka o buso Ramọt Gilead
agha. 3 Ehab eze Izrel jụrụ Jehoshafat eze Juda, sị, “Ị ga-eso m buso Ramọt Gilead
agha?”

Jehoshafat zaghachiri, “Otu m dị ka gị onwe gị dị, ndị nke m bụkwa ndị gị. Anyị ga-
eso gị gaa agha.” 4 Ma Jehoshafat gwakwara eze Izrel, sị, “Buru ụzọ chọpụta ntụziaka
ONYENWE ANYỊ.”

5 Ya mere, eze Izrel kpọkọtara ndị amụma dị narị ndị ikom anọ n’ọnụọgụgụ jụọ
ha, sị, “Anyị a ga-ebuso Ramọt Gilead agha, ka ọ bụ m hapụ?”

Ha zara, “Gaa, n’ihi na Chineke ga-enyefe ha n’aka eze.”

6 Ma Jehoshafat jụrụ, “Ọ bụ na e nwekwaghị onye amụma ONYENWE ANYỊ nọ n’ebe
a, onye anyị nwere ike ịjụta ase n’aka ya?”

7 Eze Izrel zaghachiri Jehoshafat, sị, “A ka nwere otu onye amụma, onye anyị nwere
ike isite n’aka ya jụọ ONYENWE ANYỊ ase, ọ bụ Maikaya nwa Imla,[*] ma akpọrọ m ya
asị, n’ihi na o nweghị oge ọ na-ebu amụma ihe ọma n’ebe m nọ, kama ọ bụ naanị
nke ọjọọ.”

Jehoshafat sịrị, “Eze ekwesighị ikwu okwu dị otu a.”

8 Mgbe ahụ, eze Izrel kpọrọ otu onye na-ejere ya ozi sị ya, “Mee ọsịịsọ kpọta
Maikaya nwa Imla n’ebe a.”

9 Ehab eze Izrel na Jehoshafat eze Juda, onye ọbụla yi uwe eze ya, na-anọkwasị
n’ocheeze ya n’ebe ịzọcha ọka n’ọnụ ụzọ ama e si abata obodo Sameria. Ndị amụma
ahụ niile nọkwa na-ebu amụma n’ihu ha. 10 Zedekaya nwa Kenaana, mere mpi igwe,
ọ kwupụtara sị, “Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ na-ekwu, ‘Ihe ndị a ka ị ga-eji sọgide
ndị Aram, ruo mgbe a ga-ala ha n’iyi.’ ”

11 Ndị amụma ndị ọzọ niile na-ebu otu ihe ahụ n’amụma, na-asị, “Gaa, busoo Ramọt
Gilead agha, ị ga-enwekwa mmeri, n’ihi na ONYENWE ANYỊ ga-enyefe ya n’aka eze.”

12 Onyeozi ahụ nke gara ịkpọ Maikaya sịrị ya, “Lee, ndị amụma ndị ọzọ na-agụpụghị
onye ọbụla na-ebu amụma ọganihu nye eze. Mee ka okwu gị na ha dakọta. Kwuokwa
ihe ga-adị eze mma.”

13 Ma Maikaya sịrị, “Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, aga m agwa ya naanị ihe
Chineke m kwuru.”

14 Mgbe ọ bịarutere, eze jụrụ ya, “Maikaya, ọ bụ anyị gaa buso Ramọt Gilead agha,
ka ọ bụ m hapụ?”

Ọ zara, “Gaa, ma nwekwa mmeri, n’ihi na a ga-enyefe ha n’aka gị.”

15 Eze sịrị ya, “Ugboro ole ka m ga-eme ka ị ṅụọ iyi na ị gaghị agwa m ihe ọzọ,
karịa naanị eziokwu n’aha ONYENWE ANYỊ?”

16 Mgbe ahụ, Mikaya zara, “Ahụrụ m Izrel niile ka ha gbasasịrị n’elu ọtụtụ ugwu
dịka atụrụ na-enweghị onye ọzụzụ atụrụ ma ONYENWE ANYỊ sịrị, ‘Ndị a enweghị
onyendu, ka onye ọbụla laghachi n’ụlọ ya n’udo.’ ”

17 Eze Izrel sịrị Jehoshafat, “Ọ bụ na m agwaghị gị na ọ dịghị mgbe ọ na-ebu amụma
ihe ọma banyere m, kama naanị ihe ọjọọ?”

18 Maikaya gara n’ihu sị, “Ya mere, nụrụnụ okwu ONYENWE ANYỊ: Ahụrụ m
ONYENWE ANYỊ ka ọ nọkwasịrị n’ocheeze ya, hụkwa usuu nke eluigwe ka ha na-eguzo
n’aka nri ya nakwa n’aka ekpe ya. 19 Ma ONYENWE ANYỊ sịrị, ‘Onye ga-aga rafuo Ehab,
eze Izrel, ka ọ gaa buso Ramọt Gilead agha, gaa nwụọ n’ebe ahụ?’

“Otu onye tụpụtara aro nke a, ebe onye ọzọ tụpụtara nke ọzọ. 20 N’ikpeazụ, otu
mmụọ pụtara guzo n’ihu ONYENWE ANYỊ sị, ‘Mụ onwe m ga-arafu ya.’

“ONYENWE ANYỊ jụrụ ya sị, ‘Olee otu ị ga-esi mee nke a?’

[*] **18:7** 18:7 Nke a bụghị onye dere akwụkwọ Maika, nke bụ otu akwụkwọ n’ime akwụkwọ nsọ

21 “Ọ zara, ‘Aga m apụ bụrụ mmụọ nrafu n’ọnụ ndị amụma ya niile.’
“ONYENWE ANYỊ sịrị, ‘Ị ga-enwe ike ịrafu ya. Gaa mee otu a.’
22 “Ma ugbu a, ONYENWE ANYỊ etinyela mmụọ okwu ụgha n’ọnụ ndị amụma gị niile
ndị a. ONYENWE ANYỊ ekwubiela n’ihe ọjọọ ga-adakwasị gị.”
23 Mgbe ahụ, Zedekaya nwa Kenaana, gara nso maa Maikaya aka na nti, jụọ ya,
“Olee ụzọ ka mmụọ ahụ sitere na ONYENWE ANYỊ gara, mgbe ọ hapụrụ m bịa ịgwa gị
okwu?”
24 Maikaya zaghachiri, “Ị ga-achọpụta nke a n’ụbọchị ị ga-agbaba n’ime ime ụlọ
izo onwe gị.”
25 Eze Izrel nyere iwu sị, “Jidenụ Maikaya kpụgara ya Amọn, onye na-achị obodo
a, na Joash, nwa eze. 26 Ị ga-asịkwa, ‘Otu a ka eze sịrị: Tinye nwoke a n’ụlọ mkpọrọ,
nye ya naanị achịcha na mmiri ọñụñụ tutu ruo mgbe m lọghachiri n’udo.’ ”
27 Maikaya kwupụtara sị, “Ọ bụrụ na ị lọghachi n’udo, ọ pụtara na ọ bụghị
ONYENWE ANYỊ si n’ọnụ m kwuo okwu.” O kwukwara sị, “Unu niile, hụbakwanụ
okwu m ndị a niile ama.”

### *Ọnwụ Ehab na Ramọt Gilead*

28 Ya mere, eze Izrel na Jehoshafat eze Juda pụrụ gawa Ramọt Gilead. 29 Eze Izrel
gwara Jehoshafat, sị, “Aga m ejikere onwe m dịka m bụ onye ọzọ banye n’ọgbọ agha,
ma gị onwe gị yiri uwe eze gị.” Ya mere, eze Izrel nwogharịrị onwe ya ka onye ọzọ
baa n’ọgbọ agha.
30 Ma eze Aram enyelarị ndị ọchịagha, ndị na-agba ụgbọ agha iwu sị, “Unu ebusola
onye ọbụla agha, maọbụ onye ukwu maọbụ onye nta, karịakwa naanị eze Izrel.”
31 Mgbe ndị ọchịagha na-achị ụgbọ agha hụrụ Jehoshafat, ha chere n’obi ha, “Onye
a bụ eze Izrel.” N’ihi ya, ha tụgharịrị ibuso ya agha, ma Jehoshafat tiri mkpu, nke
mere na ONYENWE ANYỊ nyeere ya aka. Chineke wezugara ha site n’ebe ọ nọ, 32 n’ihi
na mgbe ndị ọchịagha, na-achị ndị na-agba ụgbọ agha hụrụ na ọ bụghị eze Izrel, ha
kwụsịrị ịchụso ya.
33 Ma otu onye dọrọ ụta ya gbapụ ya na-ebughị onye ọbụla n’obi, gbata ya eze
Izrel n’etiti njikọ ihe ikpuchi obi na uwe agha ya. Eze gwara onye ọkwọ ụgbọ agha,
sị, “Tụgharịa, si n’ebe a bupụ m n’ihi na emerụọla m ahụ.” 34 Agha ahụ siri ike
n’ụbọchị ahụ niile. Eze Izrel guzobere onwe ya ka ọ kwụrụ ọtọ n’ime ụgbọ agha ya
na-eche ndị Aram ihu ruo uhuruchi. Ọ nwụrụ mgbe anyanwụ dara.

## 19

1 Mgbe Jehoshafat, eze Juda, laghachiri n’ụlọ ya na Jerusalem n’udo.* 2 Jehu nwa
Hanani, onye ọhụ ọhụ, pụrụ gaa izute ya; ọ sịrị eze Jehoshafat, “O kwesiri ka i nyere
onye ọjọọ aka? Ọ bụkwa ndị na-akpọ ONYENWE ANYỊ asị ka ị na-ahụ n’anya? N’ihi
nke a iwe ọkụ ONYENWE ANYỊ adakwasịla gị. 3 Ma otu ọ dị, achọtara ezi ihe n’ime gị,
i sitela n’ala a wezuga ogidi Ashera niile, dozieekwa obi gị ịchọ Chineke.”

### *Jehoshafat ahọpụta ndị Ikpe*

4 Jehoshafat biri na Jerusalem. Ọ pụrụ gagharịa n’etiti ndị ya site na Bịasheba ruo
n’obodo ugwu ugwu Ifrem, laghachikwutekwa ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nke nna
nna ha. 5 Ọ họpụtara ndị ikpe n’ala ahụ, n’otu n’otu n’obodo ndị ahụ niile e wusiri
ike nke Juda. 6 Ọ gwara ha si, “Lezienụ anya ihe unu na-eme n’ihi na ọ bụghị mmadụ
ka unu na-ekpere ikpe kama ọ bụ ONYENWE ANYỊ, onye na-anọnyere unu mgbe unu
na-ekpebi ikpe. 7 Ugbu a, kwenụ ka egwu ONYENWE ANYỊ dịrị n’ime unu. Kpeenụ ikpe
ziri ezi, n’ihi na n’ebe ONYENWE ANYỊ Chineke anyị nọ, ikpe ikpe na-ezighị ezi, maọbụ
ile mmadụ anya n’ihu maọbụ iri ngarị adịghị ya.”

* **19:1** 19:1 Na-emerụghị ahụ ọbụla

[8] Ọzọkwa, n'ime Jerusalem, Jehoshafat họpụtara ụfọdụ ndị Livayị, na ndị nchụaja,
na ndịisi ezinaụlọ Izrel ka ha bụrụ ndị na-ahazi iwu nke ONYENWE ANYỊ na-edozikwa
esemokwu. Ha bikwa na Jerusalem. [9] O nyere ha iwu ndị a, "Jirinụ ikwesi ntụkwasị
obi, na ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ rụọ ọrụ unu. [10] Mgbe ọbụla ụmụnna unu ndị bi
n'obodo unu dị iche iche buteere unu ikpe igbu mmadụ maọbụ ikpe mmebi iwu
ọbụla, maọbụ ihe megidere ihe e nyere n'iwu, maọbụ nke megidere ụkpụrụ, ma ọ
bụkwanụ megide iwu na usoro ime ihe, unu ga-adọ ha aka na ntị ka ha ghara imehie
megide ONYENWE ANYỊ. Ọ bụrụ na unu emeghị otu a, iwe ONYENWE ANYỊ ga-adakwasị
unu na ụmụnna unu. Ma ọ bụrụ na unu arụọ ọrụ unu nke ọma, unu agaghị emehie.†
[11] "Amaraya, onyeisi nchụaja, ga-abụ onyeisi unu n'ihe ọbụla metụtara ONYENWE
ANYỊ. Zebadaya nwa nwoke Ishmel, onyeisi nke ebo Juda ga-abụ onyeisi unu n'ihe o
bụla metụtara eze. Ndị Livayị ga-abụ ndịisi ozi n'ihu unu. Bụrụkwanụ ndị dị ike,
unu atụkwala ụjọ, ka ONYENWE ANYỊ nọnyere ndị na-eme nke ọma."

# 20

*Jehoshafat emerie ndị Moab na ndị Amọn*

[1] Mgbe oge nta gasịrị, eze ndị Moab na nke ndị Amọn, na ndị ọzọkwa, bịara ibuso
Jehoshafat na ndị Juda agha.
[2] Ụfọdụ ndị mmadụ bịara gwa Jehoshafat sị, "Lee, igwe usuu ndị agha na-abịa
imegide gị site n'Edọm, nakwa n'ofe osimiri Nnu (osimiri nwụrụ anwụ). Ha erutela
Hazezọn Tama, ebe a na-akpọkwa En-Gedi." [3] Jehoshafat tụrụ egwu nke ukwuu,
kpebiekwa ịchọ inyeaka ONYENWE ANYỊ. N'ihi nke a, ọ kpọsara obubu ọnụ nye ndị
Juda niile. [4] Ndị Juda zukọtara ịchọ inyeaka ONYENWE ANYỊ; n'ezie, ha sitere n'obodo
niile nke Juda bịa ịchọ ihu ONYENWE ANYỊ.
[5] Mgbe ahụ, Jehoshafat guzoro n'etiti nzukọ ndị Juda na Jerusalem n'ụlọnsọ
ONYENWE ANYỊ n'ihu ogige ọhụrụ ahụ, [6] sị;
"O ONYENWE ANYỊ, Chineke nna nna anyị ha, ọ bụghị gị bụ Chineke onye bi
n'eluigwe? Ọ bụkwa gị na-achị alaeze niile nke mba dị iche iche. Ike na ume
dị n'aka gị, ọ dịkwaghị onye pụrụ iguzogide gị. [7] O Chineke anyị, ọ bụghị gị onwe
gị chụpụrụ ndị bi n'ala, site n'ihu ndị gị Izrel, were ya nye ụmụ ụmụ Ebraham,
bụ enyi gị nwoke? [8] Ha ebiela n'ime ya wukwaa ebe nsọ n'ime nye n'Aha gị na-
asị, [9] 'Ọ bụrụ na ihe ọjọọ adakwasị anyị, maọbụ mma agha, ma nke ikpe ọmụma,
maọbụ ajọọ ọrịa na-efe efe, maọbụ oke ụnwụ, anyị ga-eguzo n'ihu gị n'ụlọnsọ a
nke a kpọkwasịrị Aha gị, kpọkuo gị n'ime nsogbu anyị, gị onwe gị ga-aza anyị,
zọpụtakwa anyị.'
[10] "Ugbu a lee, ndị ikom si Amọn, na Moab, na n'ugwu Sia, ndị ị na-ekweghị ka
ndị Izrel banye n'oke ala ha mgbe ha si n'Ijipt pụta, kama ha sitere n'akụkụ ọzọ
gabiga si otu a chebe ndị a ndụ. [11] Lee ihe ha ji akwụ anyị ụgwọ bụ ịchọ ka ha
chụpụ anyị n'ala a i nyere anyị ka ọ bụrụ ihe nketa anyị. [12] O Chineke anyị, ọ bụ
na ị gaghị ekpe ha ikpe? N'ihi na ike adịghị n'ime anyị iguzogide igwe mmadụ ndị
a bara ụba na-abịa ịlụso anyị ọgụ. Anyị amakwaghị ihe anyị ga-eme, kama ọ bụ
na gị ka anya anyị na-adịkwasị."
[13] Ndị ikom Juda niile, ha na ndị nwunye ha, na ụmụ ha, na ụmụntakịrị ha guzoro
n'ihu ONYENWE ANYỊ.
[14] Mgbe ahụ, mmụọ Nsọ ONYENWE ANYỊ dakwasịrị Jahaziel nwa Zekaraya, nwa
Benaya, nwa Jeiel, nwa Matanaya, bụ onye Livayị, onye si n'ikwu Asaf, dịka o guzo
n'etiti mkpọkọta ahụ.
[15] Ọ sịrị, "Geenụ m ntị, unu ndị Juda niile na ndị bi na Jerusalem, na gị eze
Jehoshafat. Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ na-asị unu. 'Unu atụla ụjọ, maọbụ daa

† **19:10** 19:10 Ikpe agaghị ama unu

mba, n'ihi usuu ndị agha a niile dị unu n'ihu. Ọ bụghị unu ka agha a dịịrị, kama
ọ bụ Chineke nwe ya. 16 Echi pụọnụ izute ha. Ha ga arịgota site n'ụzọ warawara
nrigo Ziz, unu ga-ahụ ha na nsọtụ ndagwurugwu dị tupu e ruo n'ọzara Jeruel. 17 Ọ
bụghị unu ka ọ dịrị ịlụ agha a, kama werenụ ọnọdụ unu, guzosienụ ike ka unu jiri
anya unu hụ nzọpụta Onyenwe anyị bụ Chineke unu ga-enye unu, unu ndị Juda na
Jerusalem. Unu atụla egwu, unu adakwala mba. Pụkwuru ha n'ihu agha mgbe chi
echi bọrọ, Onyenwe anyị ga-anọnyekwara unu.' "

18 Mgbe ahụ, Jehoshafat, na ndị Juda na ndị Jerusalem niile dara n'ala kelee
Onyenwe anyị, kpọọ isiala nye ya. 19 Mgbe ahụ kwa, ndị Livayị si n'agbụrụ Kohat na
Kora jiri ike ha niile too Onyenwe anyị Chineke Izrel n'abụ.

20 N'isi ụtụtụ, ha pụrụ gawa n'ọzara Tekoa. Ma mgbe ha na-apụ, Jehoshafat guzoro
ọtọ sị, "Geenụ m ntị, unu ndị Juda na ndị bi na Jerusalem. Nweenụ okwukwe n'ime
Onyenwe anyị bụ Chineke unu, nwekwanụ ntụkwasị obi na ige ndị amụma ya ntị, ka
ihe gaara unu nke ọma." 21 Mgbe ya na ndị ya gbasịrị izu, Jehoshafat họpụtara ndị
ikom ndị ga-eji abụ too Onyenwe anyị n'ihi ebube ya na ịdị nsọ ya. Mgbe ha na-aga
n'ihu ndị agha, ha na-abụ abụ na-asị:

"Nyenụ Onyenwe anyị ekele,
n'ihi na ịhụnanya ya na-adịgide ruo ebighị ebi."

22 Mgbe ndị Juda malitere ịbụ abụ na ito otuto, Onyenwe anyị cheere ndị agha
Amọn na nke ndị Moab, na ndị nke si n'ugwu Sia n'ụzọ, merie ha. 23 Ma ndị agha
Amọn na Moab buru ụzọ lụso ndị agha si n'ugwu Sia ọgụ. Mgbe ha lakwara onwe
ha n'iyi, ọgụ dakwara n'etiti ndị Moab na Amọn.

24 Mgbe ndị agha Juda rutere ebe ha ga-esi lepụ anya hụ ihe na-eme n'ọzara ahụ, ha
lepụrụ anya ịhụ usuu ndị agha ahụ, ma ihe ha hụrụ bụ ozu ndị agha tọgbọcha n'ala.
Ọ dịkwaghị otu n'ime ndị agha ahụ gbapụrụ na ndụ. 25 Ya mere Jehoshafat na ndị
agha ya banyere n'ọgbọ agha ahụ kwakọrọ ihe nkwata n'agha. Ha butere ọtụtụ ngwa
agha, na uwe na ihe ndị ọzọ dị oke ọnụahịa ma ha enweghị ike ibutecha ihe niile.
Ihe nkwata n'agha hiri nne ruo na o were ha ụbọchị atọ ibutecha ha. 26 N'ụbọchị
nke anọ ha zukọtara na Ndagwurugwu Beraka* ebe ha nọ too Onyenwe anyị otuto.
Ọ bụ nke a mere e ji akpọ ebe ahụ Ndagwurugwu Beraka ruo taa.

27 Emesịa, Jehoshafat duuru ndị Juda na Jerusalem niile laghachi na Jerusalem
n'ọṅụ, n'ihi na Onyenwe anyị emeelara ha ihe ha kwesiri iji ṅụrịa ọṅụ n'ebe ndị iro
ha nọ. 28 Ha ji une, na ụbọ akwara, na opi ike bata Jerusalem, gaa n'ụlọnsọ Onyenwe
anyị.

29 Egwu Chineke dakwasịrị alaeze niile bi gburugburu, mgbe ha nụrụ otu Onyenwe
anyị si lụọ ọgụ megide ndị iro Izrel niile. 30 Ya mere, udo dịrị n'alaeze Jehoshafat,
n'ihi na Chineke nyere ya udo.

### *Ọgwụgwụ ọchịchị Jehoshafat*

31 Jehoshafat ghọrọ eze juda. Ọ gbara iri afọ atọ na ise mgbe ọ malitere ịbụ eze
Juda. Ọ chịrị iri afọ abụọ na ise na Jerusalem. Aha nne ya bụ Azuba, nwa Shilhi.
32 O jere ije n'ụzọ niile nke Asa bụ nna ya, o sitekwaghị n'ime ha wezuga onwe ya, o
mekwara ihe ziri ezi n'anya Onyenwe anyị. 33 Naanị na o wezugaghị ebe dị elu niile,
nke mere na ndị mmadụ ka nọ na-ejighị obi ha niile tụkwasị na Chineke nke nna
nna ha.

34 Ihe banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'ọchịchị Jehoshafat, site na mbido ruo na
ngwụcha, ka e dere n'akwụkwọ ihe mere nke Jehu nwa Hanani, nke e debanyere
n'ime akwụkwọ akụkọ ndị eze Izrel.

---

* **20:26** 20:26 Beraka pụtara Otuto

35 Mgbe ihe ndị a gasịrị, Jehoshafat, bụ eze Juda jikọrọ onwe ha na Ahazaya, eze
Izrel, onye ahụ omume ya jọrọ njọ. 36 Ha kwekọrịtara ka ha na ya wuo ọtụtụ
ụgbọ mmiri e ji azụ ahịa. Emesịa, ha wuru ụgbọ ndị a n'Eziọn Geba. 37 Elieza
nwa Dodavahu, onye Maresha buru amụma megide Jehoshafat, na-asị, "N'ihi na i
kwenyere ka gị na Ahazaya na-azụkọ ahịa, ONYENWE ANYỊ ga-emebi ihe ndị a ị rụrụ."
Ụgbọ mmiri ahụ niile kpuru, ha enwekwaghị ike ijeru Tashish zụọ ahịa.

# 21

1 Mgbe ahụ, Jehoshafat sooro nna nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya n'ebe e liri
ha n'obodo Devid. Jehoram nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya. 2 Ụmụnne Jehoram,
ndị bụkwa ụmụ Jehoshafat bụ ndị a: Azaraya, Jehiel, Zekaraya, Azarayu, Maikel na
Shefataya. Ndị a niile bụ ụmụ Jehoshafat, bụ eze Izrel. 3 Nna ha nyere onye ọbụla
n'ime ha ọtụtụ onyinye nke ọlaọcha, na ọlaedo, na ihe ndị dị oke ọnụahịa, tinyere
obodo e wusiri ike n'ime Juda. Ma o mere Jehoram eze, n'ihi na ọ bu ọkpara ya.

### *Jehoram eze Juda*

4 Mgbe Jehoram mere onwe ya ka o guzosie ike n'ebe alaeze nna ya dị, o weere
mma agha gbuo ụmụnne ya ndị ikom niile, tinyere ụfọdụ n'ime ndịisi Izrel. 5 Jehoram
gbara iri afọ atọ na abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị afọ asatọ na Jerusalem.
6 O soro ụzọ ndị eze Izrel, dịka ụlọ Ehab mere, n'ihi na ọ lụrụ ada Ehab. O mere ihe
dị njọ n'anya ONYENWE ANYỊ. 7 Ma n'agbanyeghị nke a, ONYENWE ANYỊ achọghị ibibi
ụlọ Devid, n'ihi ọgbụgba ndụ ahụ ONYENWE ANYỊ na Devid nwere. N'ihi na o kwere
ya nkwa ime ka oriọna dịịrị ya na ụmụ ụmụ ya ruo mgbe ebighị ebi.
8 N'oge Jehoram bụ eze, ka Edọm si n'okpuru Juda nupu isi, họpụtara onwe ha eze.
9 Ya mere, Jehoram duuru ndịisi agha ya na ụgbọ agha ya niile gaa n'ebe ahụ. O biliri
n'abalị tigbuo ndị Edọm ahụ gbara ya na ndị ọchịagha ụgbọ agha ya gburugburu.
10 Ya mere, Edọm ka na-enupu isi megide Juda, ruo taa.
Obodo Libna nupukwara isi n'otu oge ahụ, n'ihi na Jehoram gbakụtara ONYENWE
ANYỊ Chineke nna nna ya ha azụ. 11 O wukwara ọtụtụ ebe dị elu n'ọtụtụ ugwu nke
Juda, mee ka ndị bi na Jerusalem were onwe ha nye ife arụsị. O si otu a duhiekwa
Juda.
12 Jehoram natara akwụkwọ ozi site n'aka Ịlaịja onye amụma, nke sịrị:
"Otu a ka ONYENWE ANYỊ Chineke nke nna gị Devid, kwuru, 'N'ihi na i soghị ụzọ
niile nke nna gị, bụ Jehoshafat, maọbụ nke Asa bụ eze Juda, 13 kama ị sooro ụzọ
niile nke ndị eze Izrel, meekwa ka ndị Juda na ndị Jerusalem fee chi ọzọ, dịka ụlọ
Ehab mere. Ị gbuola ụmụnne nke gị, ndị bụ ndị si n'ezinaụlọ nke gị onwe gị, ndị
ikom bụ ndị dị mma karịa gị. 14 Ya mere, ugbu a, ONYENWE ANYỊ ga-eji ihe otiti nke
ọrịa tie ndị gị, ụmụ gị ndị ikom, na ndị nwunye gị, na ihe niile i nwere. 15 Gị onwe
gị kwa ga-ada n'oke ọrịa, ọrịa afọ nke na-agaghị ekwe ngwọta. Ọrịa a ga-eme ka
eriri afọ gị na-enupụta kwa ụbọchị.' "
16 ONYENWE ANYỊ mekwara ka ndị Filistia, na ndị Arab, ndị bi nso ndị Kush, bịa lụso
Jehoram agha. 17 Ha ji ike bata Juda, buru ihe niile dị mma ha hụrụ n'ụlọeze, tinyere
ụmụ nwoke ya niile na ndị nwunye ya niile. Ọ bụ naanị Ahazaya, nwa ya nwoke nke
nta ka ha hapụrụ.
18 Ọ bụ mgbe nke a gasịrị ka ONYENWE ANYỊ mere ka ọrịa afọ nke a na-apụghị ịgwọta
agwọta bịakwasị Jehoram. 19 Mgbe afọ abụọ gasịrị, eriri afọ ya nupụtara n'ihi ọrịa
ahụ. Ọ nwụkwara n'oke ihe mgbu. Mgbe e liri ya, e meghị omenaala ịkwanye ọkụ
olili dịka a na-eme n'oge a na-eli ndị eze.
20 Ọ gbara iri afọ atọ na abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze Jerusalem. Ọ chịrị afọ asatọ
nwụọ. Ọnwụ ya abụghị ihe mwute nye onye ọbụla. E liri ya n'obodo Devid ma ọ
bụghị n'ime ili a na-eli ndị eze.

# 22

*Ahazaya eze Juda*

1 Ndị Jerusalem mere Ahazaya, nwa Jehoram nke nta, eze n’ọnọdụ ya, n’ihi na ndị
na-apụnara mmadụ ihe n’ike, bụ ndị ha na ndị Arab so bata n’ụlọ ikwu ha, egbuolarị
ụmụnne ya ndị okenye. Ya mere Ahazaya, nwa Jehoram bụ eze Juda malitere ịchị.
2 Ahazaya gbara iri afọ abụọ na abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị otu afọ na
Jerusalem. Aha nne ya bụ Atalaya nwa nwa Omri eze Izrel.
3 Ya onwe ya sokwara ụzọ niile nke ndị ezinaụlọ Ehab, n’ihi na nne ya gbara ya
ume ime ajọ omume. 4 O mere ihe dị njọ n’anya Onyenwe anyị dịka ezinaụlọ Ehab
mere n’ihi na ha ghọrọ ndị ndụmọdụ ya mgbe nna ya nwụsịrị, nke a wetara ọdịda
ya. 5 O gbasokwara ndụmọdụ ha, mgbe o sooro Joram nwa Ehab, bụ eze Izrel, ịga
buso Hazael eze Aram agha na Ramọt Gilead. Ndị Aram merụrụ Joram ahụ, 6 ya
mere, ọ lọghachitere na Jezril ka a gwọọ ya mmerụ ahụ ha merụrụ ya na Ramọt,
n’agha nke ya na Hazael eze Aram lụrụ.

Mgbe ahụ, Ahazaya nwa Jehoram, eze Juda gara Jezril ileta Joram nwa Ehab, n’ihi
na e merụrụ ya ahụ.
7 Ọ bụ site na nleta Ahazaya gara leta Joram, ka Chineke si weta ọdịda Ahazaya.
Mgbe Ahazaya bịarutere, ya na Joram pụrụ ịga zute Jehu nwa Nimshi, onye ahụ
Onyenwe anyị tere mmanụ ka ọ laa ezinaụlọ Ehab n’iyi. 8 Mgbe Jehu nọ na-emezu
ihe e kpebiri n’ikpe banyere ezinaụlọ Ehab, o zutere ndị ozi Juda na ụmụ ndị ikom
ụmụnne Ahazaya, ndị na-ejere Ahazaya ozi, gbuo ha niile. 9 Ọ pụrụ ịchọ Ahazaya.
Ndị ozi ya jidere ya ebe o zoro onwe ya na Sameria. Ha kpụtaara ya Jehu onye gburu
ya. Ha liri ya, n’ihi na ha kwuru sị, “Nwa Jehoshafat ka ọ bụ, onye jiri obi ya niile
gbasoo Onyenwe anyị.” Ya mere, o nwekwaghị onye dị ike n’ụlọ Ahazaya ijide alaeze
ahụ.

*Atalaya na Joash*

10 Mgbe Atalaya, nne Ahazaya hụrụ na nwa ya nwoke anwụọla, ọ gara n’ihu bido
igbu ndị niile a mụrụ n’ụlọ eze, bụ ndị ezinaụlọ eze Juda. 11 Ma Jehosheba, bụ nwa
nwanyị eze Jehoram, kuuru Joash nwa Ahazaya zopu ya site n’etiti ụmụ eze, bụ ndị a
chọrọ igbu egbu. O zoro ya na nwanyị na-elekọta ya anya n’ime ụlọ ndina. N’ihi na
Jehosheba, bụ nwa nwanyị eze Jehoram, bụ nwanne Ahazaya, ma bụrụkwa nwunye
Jehoiada onye nchụaja, ya mere o jiri zonarị Atalaya nwantakịrị ahụ, ka ọ ghara
igbu ya. 12 Ya na ha nọgidere na nzuzo n’ime ụlọnsọ Chineke, afọ isii, oge ahụ niile
Atalaya na-achị n’ala ahụ.

# 23

1 N’afọ nke asaa, Jehoiada gosiri ịdị ike nke obi ya. Ya na ndị ọchịagha na-achị
narị ndị agha gbara ndụ. Ndị a bụ: Azaraya nwa Jeroham, Ishmel nwa Jehohanan,
Azaraya nwa Obed, Maaseia nwa Adaya na Elishafat nwa Zikri. 2 Ha pụrụ gaa akụkụ
niile nke ala Juda kpọkọta ndị Livayị na ndịisi ezinaụlọ Izrel site n’obodo niile. Mgbe
ha bịarutere Jerusalem, 3 ọgbakọ ahụ niile na eze gbara ndụ n’ụlọnsọ ukwu Chineke.

Mgbe ahụ, Jehoiada sịrị ha, “Nwa eze ga-achị dịka Onyenwe anyị kwere na nkwa
banyere agbụrụ Devid. 4 Ugbu a, nke a bụ ihe unu ga-eme: Otu ụzọ n’ime ụzọ atọ nke
ndị nchụaja na ndị Livayị, bụ ndị ga-abịa ọrụ n’ụbọchị izuike ga-abụ ndị ga-eche ọnụ
ụzọ niile nche. 5 Otu ụzọ n’ime ụzọ atọ nke ọzọ ga-anọ n’ụlọeze, ebe otu ụzọ ga-anọ
n’ọnụ ụzọ Ntọala. Ndị ọzọ niile ga-anọ gburugburu mpụta ụlọnsọ Onyenwe anyị.
6 Ọ dịghị onye ọbụla ga-abata n’ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị karịa naanị ndị nchụaja
na ndị Livayị ndị nọ ọrụ, ha ga-abata n’ihi ha bụ ndị edoro nsọ, ma ndị ọzọ niile
ga-edebe iwu Onyenwe anyị, ghara ịbata. 7 Ndị Livayị ga-edo onwe ha gburugburu

eze, onye ọbụla ga e jide ihe agha n'aka ya. Onye ọbụla batara n'ime ụlọnsọ ahụ ka a ga-egbu. Nọrọnụ eze nso, ebe ọbụla ọ gara, mgbe ọ na-apụ n'ezi na mgbe ọ na-aba n'ime."

8 Ndị Livayị na ndị ikom Juda niile mere dịka Jehoiada, onye nchụaja nyere n'iwu. Onye ọbụla kpọọrọ ndị ikom ya, ma ndị na-abata ịrụ ọrụ n'ụbọchị izuike ma ndị na-emechi ọrụ. N'ihi na Jehoiada onye nchụaja ezipụghị otu ọbụla n'ime ndị ọrụ ahụ niile. 9 O nyere ndị ọchịagha ahụ na-elekọta narị ndị agha, ùbe na ọta ukwu na ọta nta niile, ndị bụrịị nke eze Devid, bụ ndị dị n'ụlọnsọ Chineke. 10 O guzobere ndị ikom niile ahụ, onye ọbụla ji ngwa agha ya n'aka ya, nọdụ eze gburugburu na nso ebe ịchụ aja na ụlọnsọ ukwu ahụ. Site n'akụkụ ndịda ruo n'akụkụ ugwu nke ụlọnsọ ukwu ahụ.

11 Jehoiada na ụmụ ya ndị ikom kpọpụtara nwa eze, kpube ya okpueze n'isi, ha nyere ya otu akwụkwọ nke ihe ọgbụgba ndụ ahụ, chie ya eze. Ha tekwara ya mmanụ ịbụ eze, tie mkpu sị, "Ka eze dịrị ndụ ruo mgbe ebighị ebi!"

12 Mgbe Atalaya nụrụ mkpọtụ ndị mmadụ, ndị na-agba ọsọ na-eto eze, ọ gakwuru ha n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị. 13 O lepụrụ anya, ma lee eze, ka o guzo n'akụkụ ogidi ya dị na mbata. Ndịisi na ndị na-afụ opi nọ n'akụkụ eze, ndị niile nke ala ahụ nọkwa na-aṅụrị ọṅụ na-afụ opi. Ndị ọbụ abụ jikwa iti egwu na-edu n'abụ otuto. Mgbe ahụ, Atalaya dọwara uwe ya, sị, "Nke a bụ nnupu isi megide eze! Nke a bụ nnupu isi megide ọchịchị!"

14 Jehoiada, bụ onye nchụaja zipụrụ ndị ọchịagha na-achị narị ndị agha, bụ ndị na-elekọta usuu ndị agha, sị ha, "Sitenụ n'etiti ahịrị ahụ kpụpụta ya n'etiti ahịrị unu, onye ọbụla nke gbasoro ya, werenụ mma agha gbuo onye ahụ." N'ihi na onye nchụaja sịrị, "Ka egbula ya na ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị." 15 Ya mere, ha jidere ya mgbe o rutere na mbata nke ọnụ ụzọ ịnyịnya n'ogige ụlọeze, ebe ahụ ka ha gburu ya.

16 Jehoiada mere ka ọgbụgba ndụ dị, na ya, na ndị mmadụ, na eze, ga-abụ ndị nke Onyenwe anyị. 17 Ndị niile ahụ gara n'ụlọ nchụaja Baal kwatuo ya. Ha tidasịrị ebe nchụaja na arụsị niile dị n'ebe ahụ, gbukwaa Matan onye nchụaja Baal n'ihu ebe ịchụ aja ahụ.

18 Mgbe ahụ, Jehoiada nyefere nlekọta nke ụlọnsọ ukwuu Onyenwe anyị n'aka ndị nchụaja bụ ndị Livayị, bụ ndị Devid nyere ọrụ ịchụ aja nsure ọkụ nke Onyenwe anyị n'ime ụlọnsọ, dịka e dere ya n'iwu Mosis, n'iji ọṅụ na ịbụ abụ dịka Devid nyere n'iwu. 19 O debekwara ndị nche n'ọnụ ụzọ ama ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, igbochi ka onye ọbụla nke na-adịghị ọcha n'ụzọ ọbụla ghara ịbanye.

20 Ọ kpọọrọ ndị ọchịagha na-achị narị ndị agha, na ndị a na-asọpụrụ, na ndị na-achị achị, na ndị ala ahụ niile, dupụta eze site n'ụlọnsọ Onyenwe anyị. Ha bara n'ụlọeze site n'ọnụ ụzọ ama nke dị Elu, mee ka eze nọkwasị n'elu ocheeze. 21 Ndị ala ahụ niile ṅụrịrị ọṅụ nke ukwuu, obodo ahụ dakwara jụụ, n'ihi na e ji mma agha gbuo Atalaya n'ụlọeze.

# 24

*Joash edozie ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị*

1 Joash gbara afọ asaa mgbe e mere ya eze, ọ chịrị iri afọ anọ na Jerusalem. Aha nne ya bụ Zibịa onye Bịasheba. 2 Joash mere ihe ziri ezi n'anya Onyenwe anyị n'afọ niile nke Jehoiada bụ onye nchụaja, dị ndụ. 3 Jehoiada lụtaara ya ndị inyom abụọ, ndị mụtaara ya ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom.

4 Mgbe ihe ndị a gasịrị, Joash kpebiri ime ka ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị dị ọhụrụ.
5 Ọ kpọkọtara ndị nchụaja na ndị Livayị niile sị ha, "Gaanụ n'obodo Juda niile nakọta

ego ụtụ afọ n’aka ndị Izrel niile, maka iwuzi ụlọnsọ Chineke unu. Meenụ ya ugbu
a.” Ma ndị Livayị emeghị ya ngwangwa.
6 Ya mere, eze kpọrọ Jehoiada bụ onyeisi nchụaja sị ya, “Gịnị mere i mebeghị ka
ndị Livayị gaa nakọtaa, site n’aka ndị bi n’obodo Juda niile, na n’obodo Jerusalem,
ego ụtụ nke Mosis ohu ONYENWE ANYỊ na ọgbakọ ụmụ Izrel nyere n’iwu maka ụlọ
ikwu nke iwu ọgbụgba ndụ?”
7 N’oge a ụmụ ndị ikom Atalaya, nwanyị ọjọọ ahụ tipuru ụlọnsọ Chineke, bukọrọ
ihe nsọ niile e ji efe ONYENWE ANYỊ dị n’ime ya maka Baal.
8 Ya mere, eze nyere iwu ka e wuo igbe onyinye, nke a ga-adọba n’ọnụ ụzọ e si
abanye ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ. 9 A kpọsara ya na Juda na Jerusalem niile sị ka
ha wetara ONYENWE ANYỊ ụtụ nke Mosis ohu Chineke kwagidere ụmụ Izrel n’ọzara
na ha ga na-atụ. 10 Ndịisi na ndị mmadụ niile jiri obi ụtọ tụta ụtụ ha. Ha jiri onyinye
ha bịa tụnye ha n’igbe onyinye ahụ, tutu rụọ mgbe o juru n’ọnụ. 11 Mgbe ọbụla ndị
Livayị bubataara ndị ozi eze igbe ahụ, ha hụ na-atụjuola ya ego, ode akwụkwọ eze
ya na onyeozi nke onyeisi nchụaja ga-awụpụta ihe dị n’igbe, ma bughachi okpokoro
igbe ahụ n’ọnọdụ ya. Otu a ka ha mere ọtụtụ oge ruo mgbe ha nwetara ọtụtụ ego dị
ukwuu. 12 Eze na Jehoiada weere ego ahụ niile nyefee ha n’aka ndị ọrụ ụlọ ONYENWE
ANYỊ dị n’aka, ha chọtara ndị ọka na-edo nkume, na ndị ọkpọ ǹtu.* Ha tinyere ọrụ
ime ka ụlọnsọ ahụ dị ọhụrụ n’aka ndị a. Ha gokwara ndị ụzụ bịara kpụọ ihe niile
gbasara bronz na igwe e ji rụọ ọrụ ahụ.
13 Ndị e nyefere ọrụ ahụ n’aka ji obi ha niile rụọ ọrụ nke mere na ọrụ ahụ gara
n’ihu nke ọma. Ha rụziri ụlọnsọ ukwu Chineke dịka atụmatụ ya mbụ si dị, meekwa
ya ka o sie ike karịa. 14 Mgbe ha rụsịrị ọrụ niile, ha weghachitere ego fọdụrụ, nye ya
eze na Jehoiada, ha were ya rụta ngwa ije ozi maka ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, ngwa ije
ozi na ihe isure aja nsure ọkụ, na ngaji, ya na efere dị iche iche, na ihe ọlaọcha na
ọlaedo. A na-achụ aja nsure ọkụ n’ụlọnsọ nye ONYENWE ANYỊ ụbọchị niile Jehoiada
dị ndụ.
15 Ma Jehoiada mere nnọọ agadi, jupụtakwa n’ọtụtụ afọ, ọ nwụrụ mgbe ọ gbara
narị afọ na iri afọ atọ. 16 E liri ya n’ebe a na-eli ndị eze n’obodo Devid n’ihi ihe ọma
niile o meere Izrel na Chineke na ụlọnsọ ya.

### *Ajọọ omume Joash*

17 Mgbe Jehoiada nwụsịrị, ndịisi Juda bịara ịkwanyere eze Joash ugwu. O gekwara
ha ntị. 18 Ha hapụrụ ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna ha, fee ogidi
Ashera na arụsị ndị ọzọ. N’ihi ikpe ọmụma ha wetaara onwe ha, iwe Chineke
dakwasịrị Juda na Jerusalem. 19 ONYENWE ANYỊ zitere ọtụtụ ndị amụma, ndị bịara
buo amụma maka ịkpọghachi ha azụ, ma ha mesiri obi ha ike, jụ ige ntị.
20 Mgbe ahụ, Mmụọ nke Chineke bịakwasịrị Zekaraya nwa Jehoiada onye nchụaja.
O guzoro n’ihu ọha na eze gwa ha okwu sị; “Otu a ka Chineke sịrị, ‘Gịnị mere unu
ji enupu isi n’iwu ONYENWE ANYỊ? Ihe agaghị agara unu nke ọma. Unu agbakụtala
ONYENWE ANYỊ azụ, ugbu a, ya onwe ya agbakụtakwala unu azụ.’ ”
21 Ma ndịisi Juda niile gbara izu megide ya, sitekwa n’iwu eze nyere ha ji nkume
tugbuo ya n’ogige ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ. 22 Eze Joash echetaghị ebere nke nna
Zekaraya bụ Jehoiada meere ya kama o gburu nwa ya. Ma mgbe ọ na-anwụ, ọ sịrị,
“Ka ONYENWE ANYỊ hụkwa mmeso ọjọọ a ma kwụọkwa unu ụgwọ ajọ omume unu
niile.”
23 O ruo ka ọ gbara otu afọ, ndị agha Aram bịara imegide Joash, ha wakporo Juda
na Jerusalem gbuo ndị ndu niile site n’etiti ndị mmadụ. Ha zigaara eze ha nọ na
Damaskọs ihe niile ha kwatara n’ike. 24 N’agbanyeghị na ndị Aram kpọọ naanị ndị
ikom ole na ole bịa, ONYENWE ANYỊ raara igwe ndị agha dị ukwuu ranye ha n’aka.

* **24:12** 24:12 Ya bụ, kapinta

N'ihi na Juda gbakụtara ONYENWE ANYỊ azụ, bụ Chineke nke nna nna ha, e mezuru
ihe niile e kpere n'ikpe n'ahụ Joash. 25 Mgbe ndị agha Aram lara, hapụ Joash n'ọnọdụ
mmerụ ahụ dị ukwuu, ndịisi ozi ya gbara izu gbuo ya, n'ihi ogbugbu o gburu nwa
Jehoiada, onye nchụaja. Ha gburu ya mgbe o dina n'ihe ndina ya. Emesịa, ha liri ya
n'obodo Devid, ma ọ bụghị n'ebe a na-eli ndị eze.
26 Ndị gbara izu gbuo ya bụ Zabad, onye nne ya bụ Shimeat onye Amọn, na
Jehozabad, onye nne ya bụ Shimrit onye Moab. 27 Ihe niile gbasara Joash na ụmụ
ya, na amụma niile e buru banyere ya, na otu e si wuzie ụlọnsọ ukwu Chineke, ka
e dere n'akwụkwọ akụkọ ndị eze Izrel niile. Mgbe Joash nwụrụ, Amazaya nwa ya
ghọrọ eze Juda.

# 25

*Amazaya eze Juda*

1 Amazaya gbara iri afọ abụọ na ise mgbe e mere ya eze, ọ chịrị dịka eze iri afọ
abụọ na itoolu na Jerusalem. Nne ya bụ Jehoadin onye Jerusalem. 2 O mere ihe ziri
ezi n'anya ONYENWE ANYỊ, ma o jighị obi ya niile mee nke a. 3 Mgbe alaeze guzosiri
ike n'okpuru ọchịchị ya, o gburu ndị ozi ahụ gburu eze, bụ nna ya. 4 Ma o meghị ka
ụmụ ha nwụọ, kama ọ gbasoro usoro ihe e dere n'akwụkwọ iwu Mosis, ebe ONYENWE
ANYỊ nyere iwu sị: "Ndị mụrụ ụmụ agaghị anwụ n'ihi ihe ụmụ ha metara, maọbụ
mee ka ụmụ nwụọ n'ihi ihe ndị mụrụ ha metara, onye ọbụla ga-anwụ n'ihi mmehie
nke aka ya."
5 Amazaya kpọkọtara ndị Juda, guzo ha dịka ezinaụlọ ha si dị, kenye ha n'okpuru
ndị ọchịagha na-achị ọtụtụ puku ndị agha, na ndị na-achị ọtụtụ narị ndị agha, bụ
ndị Juda na ndị Benjamin niile. Mgbe ọ gụrụ ndị dị afọ iri abụọ maọbụ karịa ọnụ, ọ
chọpụtara na ha dị narị puku ndị ikom atọ ndị tozuru iji ùbe na ọta buo agha. 6 O ji
narị talenti ọlaọcha gota narị puku ndị agha site n'ala Izrel.
7 Ma otu onye nke Chineke bịakwutere ya, sị ya; "Eze, ka ndị agha a si Izrel ghara
isonyere gị, n'ihi na ONYENWE ANYỊ anọnyereghị ndị Izrel, ọ nọnyereghị onye ọbụla
sitere n'Ifrem. 8 A sịkwarị na i jiri obi dimkpa ga agha a, Chineke ga-eme ka ndị iro
gị merie gị, n'ihi na Chineke bụ onye nwere ike inyere mmadụ aka maọbụ ime ka ọ
sụọ ngọngọ."
9 Amazaya sịrị onye nke Chineke ahụ, "Gịnị kwanụ ka anyị ga-eme banyere narị
ego talenti m kwụrụ maka ndị agha Izrel?"
Onye nke Chineke ahụ zara, "ONYENWE ANYỊ pụrụ inye gị karịa nke ahụ."
10 Amazaya zighachiri ndị agha Izrel ahụ azụ ka ha laa, bụ ndị a si n'Ifrem bịakwute
ya. Ha were iwe nke ukwuu megide Juda, jirikwa oke iwe laghachi n'ụlọ ha.
11 Amazaya duuru ndị agha ya gaa na Ndagwurugwu Nnu, ebe o gburu ndị ikom
Sia dị puku iri. 12 Ndị agha Juda nwudoro puku ndị ikom iri ọzọ na ndụ, duru ha gaa
n'elu nkume dị elu, si n'ebe ahụ tụda ha niile, nke mere na ha niile kụpịasịrị.
13 Ma ndị agha ahụ Amazaya zilagara, ka ha ghara iso ya gaa agha, wakporo ọtụtụ
obodo ndị Juda site na Sameria ruo Bet-Horon. Ha gburu puku mmadụ atọ n'ime ha,
bukọrọkwa ọtụtụ ihe nkwata n'agha, buru ha laa.
14 Mgbe Amazaya sitere n'agha ebe o gburu ọtụtụ ndị Edọm lọta, o bulatara chi*
nke ndị Sia. O guzobere ha dịka chi ndị nke aka ya, kpọọ isiala nye ha ma surekwa
aja nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye ha. 15 Iwe ONYENWE ANYỊ dị ukwuu megide Amazaya.
O zigaara ya onye amụma, onye sịrị, "N'ihi gịnị ka iji ajụ ase site n'aka chi nke ndị
ahụ, bụ ndị na-enweghị ike ịzọpụta ndị ha site n'aka gị?"
16 Mgbe ọ ka kpụ okwu n'ọnụ ya, eze sịrị ya; "Mechie ọnụ! Ị chọrọ ịnwụ? Ole mgbe
ka anyị mere gị onye na-adụ eze ọdụ?"

* **25:14** 25:14 Ya bụ, arụsị

Ya mere, onye amụma ahụ kwụsịrị, ma sị, “Amaara m na Chineke ekpebiela ịla gị
n’iyi, n’ihi na i mere nke a ma jụkwa ige ntị na ndụmọdụ m.”
17 Emesịa, mgbe Amazaya, eze Juda gbachara izu ya na ndị ndụmọdụ ya, o zigara
Jehoash nwa Jehoahaz, nwa Jehu, eze Izrel ozi ịma aka, sị, “Bịa ka dimkpa na ibe ya
zute ihu na ihu n’agha.”
18 Ma Jehoash eze Izrel, zighachiri ozi nye Amazaya eze Juda, sị; “Uke dị na Lebanọn
zigaara osisi sida nke dị na Lebanọn ozi sị ya, ‘Nye nwa m nwoke nwa gị nwanyị ka
ọ bụrụ nwunye ya.’ Mgbe ahụ, anụ ọhịa nke dị na Lebanọn gafetere ebe ahụ zọpịa
uke ahụ. 19 Ị na-asị onwe gị, na i meriela Edọm, ugbu a, mpako abatala, isi a na-ebu
gị. Ma nọdụ n’ụlọ gị. N’ihi gịnị ka ị ga-eji kpaliere onwe gị nsogbu, si otu a wetara
onwe gị na Juda ọdịda?”
20 Ma Amazaya egeghị ntị, n’ihi na Chineke na-akwado inyefe ya n’aka Jehoash onye
iro ha, n’ihi na ha chọrọ chi ndị Edọm gawa. 21 Ya mere, Jehoash bụ eze Izrel buliri
agha. Ya na Amazaya eze Juda zutere ihu na ihu n’agha na Bet-Shemesh, dị n’ala Juda.
22 Ndị Izrel meriri ndị Juda, mee ka ha gbalaga, nwoke ọbụla n’ụlọ ya. 23 Jehoash,
bụ eze Izrel nwudere Amazaya eze Juda, nwa Joash, nwa Ahazaya na Bet-Shemesh.
Mgbe ahụ, Jehoash duuru ya bịa na Jerusalem, kwada mgbidi Jerusalem, site n’Ọnụ
ụzọ ama Ifrem ruo n’ọnụ ụzọ ama Nkuku, nke ogologo ya ruru narị nzọ ụkwụ isii.
24 Ọ chịkọrọ ọlaedo na ọlaọcha niile na ngwongwo niile ahụtara n’ụlọnsọ ukwu
Chineke, nke e tinyere n’aka Obed-Edọm ilekọta, tinyekwara akụ niile dị n’ụlọeze. Ọ
dọọrọ ọtụtụ ndị mmadụ n’agha, kpọrọ laghachi na Sameria.
25 Amazaya nwa Joash, eze Juda nọrọ ndụ afọ iri na ise, mgbe Jehoash nwa
Jehoahaz, eze Izrel nwụsịrị. 26 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n’oge ọchịchị
Amazaya, site na mmalite ruo ọgwụgwụ, ọ bụ na e deghị ha n’akwụkwọ akụkọ ndị
eze Juda na Izrel? 27 Site n’oge Amazaya gbakụtara ONYENWE ANYỊ azụ, ha gbara
izuzu imegide ya n’ime Jerusalem. Ọ gbapụrụ gbalaga Lakish, ma ha zipụrụ ndị
ikom chụụrụ ya gaa Lakish, gbuo ya n’ebe ahụ. 28 Ha bulatara ozu ya n’elu ịnyịnya,
e lie ya n’ebe e liri nna nna ya ha n’obodo Juda.

# 26

*Ụzaya eze Juda*

1 Mgbe ahụ, ndị Juda mere Ụzaya* eze n’ọnọdụ Amazaya nna ya, mgbe ọ dị naanị
afọ iri na isii. 2 Ọ bụ Ụzaya wughariri obodo Elat, nwetaghachi ya nye Juda mgbe eze
bụ Amazaya sooro ndị nna nna ya dinaa n’ọnwụ.
3 Ụzaya dị afọ iri na isii mgbe ọ malitere ịchị dịka eze. Ọ chịrị iri afọ ise na
abụọ na Jerusalem. 4 O soro nzọ ụkwụ nna ya bụ Amazaya mee ihe ziri ezi n’anya
ONYENWE ANYỊ. 5 Ụzaya chọsịrị Chineke ike ụbọchị niile nke Zekaraya na-adị ndụ, bụ
onye mere ka ọ ghọta ịtụ egwu Chineke. Mgbe niile, dịka ọ na-achọ ONYENWE ANYỊ,
Chineke nyere ya ọganihu.
6 O busoro ndị Filistia agha, ma kụdakwa mgbidi niile nke Gat, Jabna, na Ashdọd.
Emesịa, o wuziri ọtụtụ obodo dị n’akụkụ Ashdọd na n’ebe ndị ọzọ n’obodo Filistia.
7 Chineke nọnyeere ya n’ọgụ niile ọ lụsoro ndị Filistia, na ndị Arab bi na Gua Baal
na ndị Meunim. 8 Ndị Amọn na-atụtara ya ụtụ afọ niile, ude aha ya ruru ọ bụladị
ala Ijipt n’ihi na ọ ghọrọ onye dị ike nke ukwuu.
9 O wuru ọtụtụ ụlọ elu nche na Jerusalem na nkuku Ọnụ Ụzọ Ama, n’Ọnụ Ụzọ
Ama Ndagwurugwu, na nkuku mgbidi, wusie ha ike. 10 O wukwara ọtụtụ ụlọ elu
nche siri ike n’ọzara, gwuokwa ọtụtụ olulu mmiri n’ihi na o nwere ọtụtụ anụ ụlọ
na ndagwurugwu, na n’ala dị larịị. Ọ hụrụ ịrụ ọrụ ubi n’anya, n’ihi ya, o nwere

* **26:1** 26:1 Onye a na-akpọkwa Azaraya

ọtụtụ ndị na-arụ ọrụ n'ubi na ubi vaịnị ya dị n'ala ugwu ugwu, na n'ala ndị dị na ndagwurugwu.

11 Ụzaya nwere ndị agha ọnụọgụgụ ha dị ukwuu, ndị a zụziri azụzi, na ndị nọ na
njikere mgbe niile ịpụ ibu agha dịka ọnụọgụgụ e kewapụtara ha si dị. Ọ bụ Jeiel,
ode akwụkwọ na Maaseia, onyeisi ozi nọ n'okpuru Hananaya, otu n'ime ndịisi ozi
eze, ka ọ dị n'aka ịgụpụta ndị agha ga-apụ ibu agha. 12 Ndị agha a nwekwara puku
ndịisi agha abụọ na narị isii, ya bụ 2,600. 13 Ọnụọgụgụ ndị agha ahụ niile dị narị
puku atọ na asaa, na narị ise, ya bụ, 307,500. Ha bụ ndị a zụziri nke ọma, ndị dị
nnọọ ike iguzo n'azụ eze ibu agha megide ndị iro ya. 14 Ụzaya nyere ndị agha niile,
ọta, na ùbe, na uwe agha, na okpu igwe, na uwe agha igwe, ụta na nkume na-akwọ
mụrụmụrụ, nke ndị na-atụ iche ji alụ ọgụ. 15 O mepụtakwara ihe nchepụta ọhụrụ
na Jerusalem, nke ndị nwere amamihe chepụtara, bụ nke a ga-eguzobe n'ụlọ elu
nche nakwa n'elu nkuku mgbidi, ka ndị agha nwee ike jiri ha gbaa àkụ maọbụ tụọ
nkume ukwu site n'elu mgbidi ahụ niile. Ude aha ya gbasara ruo ebe dị anya, n'ihi
na-enyeere ya aka n'ụzọ dị ukwuu ruo mgbe ọ ghọrọ onye dị ike.

16 Ma mgbe Ụzaya ghọrọ onye dị ike, nganga wetaara ya ọdịda. Ọ bụ onye na-
ekwesighị ntụkwasị obi nye ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ya, ọ banyere n'ime ụlọnsọ
ONYENWE ANYỊ ka ọ chụọ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n'elu ebe ịchụ aja. 17 Azaraya
onye nchụaja na ndị nchụaja ONYENWE ANYỊ iri asatọ ọzọ bụ dimkpa jekwuru ya n'ebe
ahụ. 18 Ha guzogidere eze bụ Ụzaya, sị ya, "Ụzaya, i kwesighị ịbata n'ebe a jiri aka
gị suree ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye ONYENWE ANYỊ. Nke a bụ ọrụ dịrị naanị ndị
nchụaja ndị bụ ụmụ Erọn, ndị a họpụtara doo iche maka ọrụ a. Site n'ebe nsọ a pụọ,
n'ihi na i gosila onwe gị dịka onye na-ekwesighị ntụkwasị obi. Ọzọ ị gaghị enwekwa
nsọpụrụ site n'aka ONYENWE ANYỊ Chineke gị."

19 Ụzaya onye ji ihe ịgụ ọkụ nke e ji esure ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ ahụ n'aka,
were iwe nke ukwu megide ndị nchụaja ahụ. Mgbe ọ nọ na-abara ndị nchụaja
mba n'ihu ebe ịchụ aja nke dị n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, lee ekpenta pụtara
ya n'egedege ihu. 20 Mgbe Azaraya onyeisi nchụaja, na ndị nchụaja ọzọ niile lere ya
anya, ha hụrụ na ekpenta agbaala ya n'egedege ihu ya, ha mere ka ọ site n'ebe ahụ
pụọ ngwangwa. Ya onwe ya kwa chọkwara isite n'ebe ahụ pụọ ngwangwa, n'ihi na
ONYENWE ANYỊ tiri ya ihe otiti.

21 Eze Ụzaya bụ onye ekpenta ruo ụbọchị ọnwụ ya. O biri n'ụlọ ewupụrụ iche,
ebe ọ bụ onye ekpenta, na onye amapụrụ site n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. Jotam nwa ya
ghọrọ onye nlekọta ụlọeze, na-achịkwa ndị ala ahụ.

22 Ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Ụzaya, site na mmalite ruo ọgwụgwụ, onye
amụma Aịzaya nwa Emọz deturu ha n'akwụkwọ. 23 Ụzaya soro ndị nna nna ya dina
n'ọnwụ, e lie ya nso n'ọhịa ebe a na-eli ozu nke dịịrị ndị eze, maka na ndị mmadụ
sịrị, "Ọ bụ onye ekpenta." Jotam nwa ya, ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

# 27

## *Jotam eze Juda*

1 Jotam gbara iri afọ abụọ na ise mgbe e mere ya eze. Ọ chịrị afọ iri na isii na
Jerusalem. Nne ya bụ Jerusha nwa Zadọk. 2 O mere ihe ziri ezi n'anya ONYENWE ANYỊ
dịka nna ya Ụzaya mere, ma o meghị dịka nna ya, ọ banyeghị n'ime ụlọnsọ ONYENWE
ANYỊ. Ma ndị mmadụ gara n'ihu na-eme omume ha rụrụ arụ. 3 Jotam wughariri Ọnụ
Ụzọ Ama nke dị Elu nke ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, rụọkwa ọtụtụ ọrụ n'elu mgbidi
nke ugwu Ofel. 4 O wuru ọtụtụ obodo n'ala ugwu ugwu Juda, wuokwa ọtụtụ ebe e
wusiri ike na ụlọ elu nche n'oke ọhịa.

5 Jotam busoro eze ndị Amọn agha, meriekwa ha. N’afọ ahụ, ndị Amọn bunyere
ya narị talenti ọlaọcha, na bushel ọka iri puku na puku abụọ, na bushel ọka balị iri
puku na puku abụọ.

6 Jotam ghọrọ eze dị ike n’ihi na ọ kpachara anya debe iwu ONYENWE ANYỊ Chineke
ya.

7 Ihe ndị ọzọ niile n’oge ọchịchị Jotam, tinyere ihe gbasara agha niile ọ lụrụ, na
ihe ndị ọzọ niile nke o mere, e deturu ha n’akwụkwọ akụkọ ndị eze Izrel na Juda.
8 Ọ gbara iri afọ abụọ na ise mgbe e mere ya eze. Ọ chịrị afọ iri na isii na Jerusalem.
9 Jotam sooro ndị nna nna ya dina n’ọnwụ, e lie ya n’obodo Devid. Ehaz nwa ya
nwoke ghọrọ eze n’ọnọdụ ya.

# 28

*Ehaz eze Juda*

1 Ehaz gbara iri afọ abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịkwara afọ iri na isii n’ime
Jerusalem, ma o meghị ihe ziri ezi n’anya ONYENWE ANYỊ, dịka nna ya Devid mere.
2 Ọ gbasoro ụzọ niile nke ndị eze Izrel, kpụọkwa arụsị dị iche iche maka ofufe arụsị
Baal. 3 O surere ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ dị iche iche n’ime Ndagwurugwu nke Ben
Hinom, surekwaa ụmụ ya n’ọkụ. Ọ gbasoro omenaala niile rụrụ arụ nke ndị mba
ọzọ, ndị ahụ ONYENWE ANYỊ chụpụrụ site n’ihu ndị Izrel. 4 Ọ chụrụ aja surekwaa ihe
nsure ọkụ aja na-esi isi ụtọ n’ebe niile dị elu, n’elu ugwu niile, na n’okpuru osisi ndụ
ọbụla.

5 N’ihi ya, ONYENWE ANYỊ Chineke ya nyefere ya n’aka eze ndị Aram. Ndị Aram
lụgburu ya, kpọrọ ọtụtụ n’etiti ndị ya dịka ndị mkpọrọ kpọta ha n’Damaskọs.

E nyefekwara ya n’aka eze Izrel, onye gburu ọtụtụ ndị agha ya. 6 N’otu ụbọchị,
Peka nwa Remalaya gburu narị puku ndị agha Juda na iri puku abụọ. Ihe ndị a mere
n’ihi na ha gbakụtara ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna ha azụ. 7 Zikri onye Ifrem,
onye bụ dike n’agha, gburu Maaseia, nwa eze, na Azrikam onye na-elekọta ụlọeze. O
gbukwara Elkena onye na-esota eze. 8 Ndị Izrel sitere n’etiti ụmụnne ha ndị Juda dọta
ndị inyom, na ụmụ okorobịa, na ụmụ agbọghọbịa ọnụọgụgụ ha dị narị puku abụọ
n’agha. Ha bukọkwaara ọtụtụ ihe ndị ọzọ ha kwatara n’agha laghachi na Sameria.

9 Ma Oded, onye amụma ONYENWE ANYỊ, nọ na Sameria n’oge a. Ọ pụrụ jekwuru
ndị agha ahụ na Sameria sị ha, “ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna unu ha mere ka
unu merie ndị Juda n’ihi na ha na-efe arụsị. Ma unu ji ọnụma gbuo ha, nke mere na
ụzụ tụrụ ruo n’eluigwe. 10 Ugbu a, unu na-achọkwa ime ndị ikom na ndị inyom Juda
na Jerusalem ndị ohu unu? Ma unu abụghị ndị ikpe mmehie mara n’ebe ONYENWE
ANYỊ Chineke unu nọ? 11 Ugbu a, geenụ ntị n’ihe m na-ekwu. Kpọghachinụ ụmụnna
unu ndị a unu dọtara n’agha n’ụlọ ha, n’ihi na ugbu a ONYENWE ANYỊ na-ewe oke iwe
megide unu.”

12 Ụfọdụ ndịisi ndị Ifrem, bụ Azaraya nwa Jehohanan, na Berekaya nwa Meshile-
mot, na Jehizkaya nwa Shalum, na Amasa nwa Hadlai, biliri guzogide ndị ahụ si agha
na-alọta. 13 Ha sịrị, “Unu akpọbatakwala ndị a unu dọtara n’agha n’ebe a, n’ihi na
unu mee ya, anyị ga-abụ ndị ikpe maara n’ihu ONYENWE ANYỊ. Unu chọrọ ịtụkwasị
ihe na mmehie na ikpe ọmụma anyị? N’ihi na ikpe ọmụma anyị adịla ukwuu, iwe
ya dị ọkụ na-adịkwasịkwa n’ahụ Izrel.”

14 Ya mere, ndị agha ahụ hapụrụ ndị mkpọrọ ahụ na ihe niile ha bulatara, n’ihu ndị
ozi na igwe mmadụ ahụ niile. 15 Mgbe ahụ, ndị ikom ahụ akpọrọ n’aha n’aha duuru
ndị mkpọrọ ahụ, manye aka n’ihe ahụ niile a dọtara n’agha wepụta uwe, na nri, na
mmanya na akpụkpọụkwụ, na mmanụ, nyeghachi ha ndị ahụ niile a dọtara n’agha.
Ha bulitere ndị ọrịa nọ n’etiti ndị ahụ a dọtara n’agha kukwasị ha n’elu ịnyịnya ibu.

Emesịa, ha duuru mmadụ ahụ niile dughachiri ha ndị ha nọ na Jeriko, obodo nkwụ.
Emesịakwa, ha laghachikwara azụ na Sameria.
16 N'oge ahụ, eze Ehaz zigara ndị eze Asịrịa ozi ka ọ bịa nyere ya aka. 17 Ndị
Edọm bịara ọzọ buso Juda agha, ma dọrọkwa ọtụtụ n'ime ha n'agha. 18 Ndị Filistia
na-ebusokwa ụfọdụ obodo Juda dị na mgbada ugwu, na Negeb agha. Ha meriri ma
bichikwaa obodo ndị a; Bet-Shemesh, na Aijalon, na Gederọt, na Soko, na Timna,
na Gimzo, na obodo nta niile gbara ha gburugburu. 19 Ma ONYENWE ANYỊ wedara
Juda n'ala n'ihi Ehaz, eze Izrel onye mere ka ihe ọjọọ baa ụba na Juda, na-ekwesighị
ntụkwasị obi ya na nye ONYENWE ANYỊ. 20 Mgbe Tiglat-Pilesa* eze ndị Asịrịa bịara, o
wetaara Ehaz nsogbu kama enyemaka. 21 Ehaz weere ụfọdụ ihe dị n'ụlọnsọ ONYENWE
ANYỊ, na nke dị n'ụlọeze, sitekwa na n'ụlọ ndịisi obodo, were ha nye eze Asịrịa, ma
ihe ndị a enyereghị ya aka.
22 N'oge nsogbu ya, eze Ehaz gakwara n'ihu bụrụ onye na-ekwesighị ntụkwasị obi
nye ONYENWE ANYỊ. 23 Ọ chụrụ aja nye chi niile nke Damaskọs, bụ ndị meriri ya
n'agha. Ọ sịrị, "N'ihi na chi nke ndị eze Aram nyeere ha aka, ha ka m ga-achụrụ aja,
ka ha nwee ike nyere m aka." Ma ha bụ ihe wetaara ya ọdịda, bụrụkwa ọdịda nye
Izrel niile.
24 Ehaz chịkọtara ngwongwo niile dị n'ụlọnsọ ukwu Chineke, gbujasịa ha. O
mechiri ọnụ ụzọ niile e si abanye n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, ma wuo ọtụtụ ebe
ịchụ aja na nkuku ụzọ niile n'ime Jerusalem. 25 N'obodo niile ọbụla na Juda, o wuru
ebe dị elu maka ịchụ aja dị iche iche nye chi ndị ọzọ, si otu a kpasuo ONYENWE ANYỊ,
bụ Chineke nna nna ya ha iwe.
26 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị ya, site na mmalite ruo
ọgwụgwụ, ọ bụ na e deghị ha n'akwụkwọ akụkọ ihe mere n'oge ndị eze Juda na
Izrel? 27 Ehaz soro nna nna ya ha dina n'ọnwụ, e lie ya n'obodo Jerusalem, ma ọ
bụghị n'ime ili ebe a na-eli ndị eze Izrel. Hezekaya nwa ya, ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

# 29

*Hezekaya edoo ụlọnsọ ukwu Chineke nsọ*

1 Hezekaya gbara iri afọ abụọ na ise mgbe ọ malitere ị bụ eze. Ọ chịrị iri afọ abụọ
na itoolu na Jerusalem. Aha nne ya bụ Abija, ada Zekaraya. 2 O mere ihe ziri ezi
n'anya ONYENWE ANYỊ dịka nna nna ya Devid mere.
3 N'ọnwa mbụ nke afọ ahụ e mere ya eze ka o meghere ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, mezie
ime ya. 4 Ọ kpọrọ ndị Livayị, na ndị nchụaja niile oku n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke
ụlọnsọ ukwu Chineke, 5 gwa ha okwu sị ha, "Geenụ m ntị unu ndị Livayị, doonụ
onwe unu nsọ, dokwaanụ ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna unu nsọ.
Wezuganụ ihe arụ niile dị n'ebe nsọ nke ụlọnsọ ahụ. 6 N'ihi na nna anyị ha bụ ndị
na-ekwesighị ntụkwasị obi; ha mere ihe jọrọ njọ n'anya ONYENWE ANYỊ bụ Chineke
anyị, hapụ ya. Ha wepụrụ ihu ha site n'ebe obibi ONYENWE ANYỊ, gbakụtakwa ya
azụ. 7 Ha mechikwara ụzọ ndị e si abanye na mpụta ọnụ ụlọ ahụ, menyụọkwa ọkụ
dị n'ime ya. E sureekwaghị ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ, ọ dịkwaghị aja nsure ọkụ
ọbụla a chụrụ nye Chineke nke Izrel. 8 N'ihi nke a ka iwe ONYENWE ANYỊ ji dakwasị
Juda na Jerusalem. O meela ka ha buru ihe oke egwu, na oke ihere na oke ụjọ, dịka
unu jirila anya unu hụ. 9 E gburu nna anyị ha n'agha, dọtakwa ndị nwunye anyị
na ụmụ okorobịa na ụmụ agbọghọbịa anyị n'agha n'ihi ya. 10 Ma ugbu a, achọrọ
m ka anyị na ONYENWE ANYỊ Chineke nke Izrel gbaa ndụ, ka iwe ya jụrụ n'ebe anyị
nọ. 11 Ụmụ m, o kwesighị ka unu gbakụta ọrụ unu azụ ọzọ, n'ihi na ONYENWE ANYỊ

* **28:20** 28:20 Nke a bụ otu ọzọ e si akpọ Tiglat-Pilnesa

họpụtara unu iguzo n'ihu ya, na ijere ya ozi, na ịrụ ọrụ n'ihu ya, na ịchụrụ ya aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ."

12 N'oge a ndị Livayị ndị a malitere ọrụ:

site n'ikwu Kohat:
Mahat na Amasai, na Juel nwa Azaraya;
n'ikwu Merari:
Kish nwa Abdi, na Azaraya nwa Jehalelel;
n'ikwu Geshọn:
Joa nwa Zima, na Eden nwa Joa;
13 n'ikwu Elizafan:
Shimri, na Jeiel;
n'ikwu Asaf:
Zekaraya, na Matanaya;
14 n'ikwu Heman:
Jehiel, na Shimei;
n'ikwu Jedutun:
Shemaya, na Uziel.

15 Mgbe ha kpọkọtara ụmụnna ha bụ ndị Livayị, dokwaa onwe ha ọcha, ha bara ido ụlọnsọ Onyenwe anyị nsọ, dịka eze nyere n'iwu, n'usoro okwu Onyenwe anyị si
dị. 16 Ndị nchụaja banyere n'ime ebe nsọ ahụ ido ya nsọ. Ihe niile na-adịghị ọcha ha hụrụ n'ime ya ka ha wepụtasịrị n'ogige ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị ahụ. Ndị Livayị buuru ha gaa bufuo na Ndagwurugwu Kidrọn.
17 Ha bidoro mmemme ido nsọ a n'abalị mbụ n'ọnwa nke mbụ. N'abalị nke asatọ ha ruru na mpụta ọnụ ụlọ nke ụlọnsọ Onyenwe anyị. Ma o were ha abalị asatọ ọzọ idochasị ụlọnsọ ahụ nsọ maka ofufe, ha jezuru ozi niile n'abalị iri na isii nke ọnwa mbụ ahụ.
18 Mgbe ahụ, ha bakwuru eze bụ Hezekaya kọọrọ ya sị, "Anyị emeela ebe niile n'ụlọnsọ Onyenwe anyị ka ọ dị nsọ, ebe ịchụ aja nke aja nsure ọkụ na ngwongwo ya, na tebul ịdọba achịcha e doro nsọ, na ihe niile dị n'ime ya.
19 Ọzọ, anyị edoziela ma dokwaa ngwongwo ahụ niile nsọ, bụ nke eze Ehaz wepụrụ n'ihi ekwesighị ntụkwasị obi ya mgbe ọ bụ eze. Ha dịkwa ugbu a n'ihu ebe ịchụ aja nke Onyenwe anyị."
20 N'ụtụtụ echi ya, eze bụ Hezekaya kpọkọtara ndịisi obodo niile, gaa n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị ahụ.
21 Ha wetara oke ehi asaa, na ebule asaa, na ụmụ ebule asaa, na mkpi asaa, maka ịchụ aja mmehie n'ihi alaeze ahụ, maka ụlọnsọ ukwu ahụ, na ala Juda. Eze nyere ndị nchụaja bụ ụmụ Erọn iwu sị ha gbuo anụ ụlọ ndị ahụ n'ebe ịchụ aja nye Onyenwe anyị.
22 Ya mere, ha gburu oke ehi ahụ niile. Ndị nchụaja fesara ọbara ha n'elu ebe ịchụ aja. Ha gbukwara ebule ndị ahụ fesa ọbara ha n'ebe ịchụ aja, gbukwaa ụmụ atụrụ ndị ahụ fesakwa ọbara ha n'ebe ịchụ aja.
23 Ha wetara mkpi ndị ahụ eji achụ aja mmehie n'ihu eze na ọgbakọ ahụ, ha bikwasịkwara ha aka n'elu.
24 Ndị nchụaja gburu mkpi ndị ahụ, chee ọbara ha n'elu ebe nchụaja maka ikpuchi mmehie ndị Izrel niile. N'ihi na eze nyere iwu ka a chụọ aja nsure ọkụ na aja mmehie n'ihi ndị Izrel niile.
25 O mere ka ụfọdụ ndị Livayị nọdụ n'ụlọnsọ ahụ, dịka ndị na-abụ abụ. O nyere ha ogene, na une, na ụbọ akwara. O mere nke a n'usoro dịka Devid na Gad, bụ ọhụ ụzọ eze, na Netan, bụ onye amụma, nke a bụ dịka Onyenwe anyị nyereriị n'iwu site n'aka ndị amụma ya.
26 Ya mere, ndị Livayị ji ihe egwu Devid ndị ahụ niile guzoro na njikere, ma ndị nchụaja jikwa opi ha nke ha na-afụ.
27 Hezekaya nyere iwu ka a chụọ aja nsure ọkụ ahụ n'elu ebe ịchụ aja. Mgbe a malitere isure aja ahụ ọkụ, a malitekwara ịbụ abụ nye Onyenwe anyị, na ịfụ opi na

iti ihe egwu niile nke Devid, eze Izrel. 28 N’oge mmemme ọchụchụ aja ahụ, mmadụ
niile kpọrọ isiala nye Chineke, mgbe ndị abụ na-abụ abụ, ndị opi na-afụkwa opi ha.
Ihe niile a nọ na-eme tutu ruo mgbe a chụsịrị aja niile ahụ.
29 Mgbe ha chụchara aja ndị ahụ, eze na ndị niile nọ n’ebe ahụ gburu ikpere n’ala,
kpọkwaa isiala. 30 Eze Hezekaya na ndịisi ozi ya nyere iwu ka ndị Livayị bụọ ụfọdụ
n’ime abụ ọma Devid, na nke Asaf onye amụma, maka iji ya too Onyenwe anyị. Ha
mere otu a, kpọọkwa isiala nye Chineke.
31 Emesịa, Hezekaya sịrị, “Ugbu a unu edoola onwe unu nsọ nye Onyenwe anyị,
bịanụ nso, webatanụ aja na onyinye ekele n’ime ụlọnsọ Onyenwe anyị.” Ya mere,
nzukọ ahụ niile wetaara aja na onyinye ekele ha, ndị niile nwere mkpebi n’obi ha
wetara aja nsure ọkụ.
32 Ọnụọgụgụ anụ ụlọ niile ha wetara bụ ndị a: iri oke ehi asaa, na narị ebule, na
narị ụmụ ebule abụọ, ka e wetara maka aja nsure ọkụ nye Onyenwe anyị. 33 Anụ
ndị e doro nsọ maka ịchụ aja dị narị oke ehi isii na atụrụ na ewu dị puku atọ. 34 Ma
ndị nchụaja dị ole na ole, ha apụghịkwa ịgba akpụkpọ anụ niile ahụ maka aja nsure
ọkụ, n’ihi ya, ụmụnne ha bụ ndị Livayị nyeere ha aka tutu ruo mgbe ozi ahụ gwụsịrị,
ruokwa mgbe e doro ndị nchụaja ndị ọzọ nsọ. N’ihi na ndị Livayị nwere obi ziri ezi
karịa ndị nchụaja ido onwe ha nsọ. 35 Aja nsure ọkụ bara ụba, tinyere abụba nke
aja udo niile, na aja ihe ọṅụṅụ nke so aja nsure ọkụ ndị a.
Ọ bụ n’ụzọ dị otu a ka e si weghachite ije ozi na ịchụ aja nke na-adị n’ụlọnsọ ukwu
Onyenwe anyị. 36 Hezekaya na ndị Juda niile ṅụrịrị ọṅụ n’ihi ihe Chineke doziri nye
ndị ya, n’ihi na ihe niile ndị a mere ngwangwa.

# 30

*Mmemme Ngabiga*

1 Hezekaya zigaara ndị Izrel na Juda niile ozi, degakwara ndị Ifrem na Manase
akwụkwọ ịkpọ oku ka ha bịa n’ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị dị na Jerusalem maka
ime Mmemme Ngabiga nye Onyenwe anyị, bụ Chineke Izrel. 2 Eze na ndịisi ya, na
ndị nkpọkọta niile na Jerusalem kpebiri na Mmemme Ngabiga a ga-adị n’ọnwa nke
abụọ. 3 Ha enweghị ike ime ya n’oge e kwesiri ime ya n’ihi na ọtụtụ ndị nchụaja
enwebeghị ike doo onwe ha nsọ n’ọnwa ahụ. Otu a kwa, ndị Izrel enwebeghịkwa
ike zukọtaa na Jerusalem. 4 Eze na Izrel niile nwere otu mkpebi ime ya otu a. 5 Ha
kpebiri ka e kwusaa n’ala Izrel niile site na Dan ruo na Bịasheba ka onye ọbụla bịa
na Jerusalem maka ime Mmemme Ngabiga nye Onyenwe anyị, Chineke Izrel. Ọtụtụ
mmadụ n’Izrel esobeghị mee mmemme a dịka e nyere ya n’iwu.
6 Ndị ọgba ọsọ weere akwụkwọ ozi sitere n’aka eze na ndị ozi ya jegharịa n’Izrel
na Juda niile dịka ihe eze nyere n’iwu si:
“Unu ndị Izrel, lọghachikwutenụ Onyenwe anyị Chineke Ebraham, na Aịzik, na
Jekọb, ka ọ laghachikwute unu bụ ndị eze Asịrịa na-emeribeghị. 7 Unu adịkwala ka
nna unu ha, na ụmụnne unu ndị Izrel, ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi nye Onyenwe
anyị, bụ Chineke nna nna ha, nke a mere o jiri were ha mee ihe iju anya, dịka unu
hụrụ ya. 8 Unu abụla ndị isiike dịka ha, kama werenụ onwe unu nye Onyenwe anyị.
Bịakwanụ n’ụlọnsọ ya nke o doro nsọ ruo ebighị ebi. Fee Onyenwe anyị Chineke
unu ofufe, ime ka iwe ya jụrụ n’ebe unu nọ. 9 Ọ bụrụ na unu alọghachikwute
Onyenwe anyị, ọ ga-eme ka e gosi ụmụnna unu na ụmụ unu a dọtara n’agha obi
ebere, meekwa ka ha site n’ebe e bugara ha lọghachikwa. N’ihi na Onyenwe anyị
Chineke unu bụ onye obi ebere, na onye obiọma; ọ gakwaghị agbakụta unu azụ,
ma ọ bụrụ na unu echegharịa, lọghachikwute ya.”
10 Ya mere, ndị ọgbọ ọsọ ozi ahụ sitere otu obodo gaa obodo ọzọ n’Ifrem, na Manase,
ọ bụladị ruo Zebụlọn. Ma ndị mmadụ chịrị ha ọchị, kwaakwa ha emo. 11 Ma otu ọ dị,

ụfọdụ ndị si n’ebo Asha na Manase, na Zebụlọn wedatara onwe ha ala, bịa Jerusalem.
12 Ma aka Chineke dịnyere ndị Juda inye ha otu obi, ime ihe eze na ndịisi ya nyere
n’iwu, site n’okwu Onyenwe anyị.
13 Ya mere, ọtụtụ mmadụ bịara Jerusalem n’ọnwa nke abụọ nke afọ ahụ, maka
mmemme achịcha ekoghị eko. 14 Ha niile jiri otu obi bibie ụlọ arụsị Baal niile dị
na Jerusalem, kụtuokwa ebe ịchụ aja na-esi isi ụtọ niile, buru ha niile bufuo ha na
Ndagwurugwu Kidrọn.
15 N’abalị nke iri na anọ nke ọnwa abụọ ahụ, ndị mmadụ ahụ niile gburu atụrụ
Mmemme Ngabiga ha. Nke a mere ka ihere mee ndị nchụaja na ndị Livayị. Ha
mekwara ngwangwa doo onwe ha nsọ were aja nsure ọkụ bịa n’ụlọnsọ ukwu
Onyenwe anyị. 16 Ha niile guzokwara n’ọnọdụ ha dịka e dere ya n’iwu Mosis, onye
nke Chineke. Ndị nchụaja fesara ọbara nke ndị Livayị bunyere ha n’aka, n’elu ebe
ịchụ aja. 17 Ebe ọ bụ na ọtụtụ ndị so n’igwe mmadụ ahụ edobeghị onwe ha nsọ, ndị
Livayị gbuuru ha atụrụ Mmemme Ngabiga n’ihi na ha adịghị ọcha, ha apụghịkwa ido
atụrụ ha nsọ nye Onyenwe anyị. 18 Ọ bụ ezie na ọtụtụ ndị sitere n’Ifrem, na Manase,
na Isaka, na Zebụlọn edoghị onwe ha ọcha, ma ha sokwa rie oriri ngabiga ahụ, si
otu a mebie ihe e dere n’iwu. Ma Hezekaya kpeere ha ekpere sị, “Ka Onyenwe anyị
onye dị mma gbaghara onye ọbụla 19 bụ ndị ji obi ha na-achọ Onyenwe anyị Chineke
nke nna nna ha, ọ bụladị ma ọ bụrụ na ha adịghị ọcha dịka iwu nke ebe nsọ si dị.”
20 Onyenwe anyị nụrụ ekpere Hezekaya gwọọkwa ha.
21 Ya mere, ndị Izrel ahụ niile ji ọṅụ mee mmemme achịcha ekoghị eko ahụ na
Jerusalem ụbọchị asaa. Ma ndị nchụaja na ndị Livayị ji abụ na ngwa egwu Onyenwe
anyị too ya otuto ụbọchị ahụ niile.
22 Hezekaya ji okwu dị mma gbaa ndị Livayị ume n’ihi ezi nghọta ha nwere n’ijere
Onyenwe anyị ozi. N’ime ụbọchị asaa ahụ niile, ha chụrụ aja udo, riekwa ihe ha
ketara site n’aja niile a chụrụ. Ha tokwara Onyenwe anyị Chineke nna nna ha otuto.
23 N’ihi oke ọṅụ ha niile nwere, ha kpebiri ime mmemme ahụ gaa n’ihu ụbọchị
asaa ọzọ. 24 Hezekaya eze Juda, nyere nzukọ ahụ otu puku oke ehi, na puku atụrụ
asaa. Ndị ozi eze niile nyekwara ha, otu puku oke ehi na puku atụrụ iri. Ọtụtụ ndị
nchụaja dooro onwe ha nsọ. 25 N’oge ahụ kwa, oke ọṅụ jupụtara n’obi ndị Juda niile,
na n’obi ndị nchụaja na ndị Livayị, na n’obi ndị ọbịa, na ndị sitere ala Izrel bịa.
26 Oke ọṅụ jupụtara na Jerusalem n’ihi na site n’oge Solomọn nwa Devid, eze Izrel
ruo n’oge a, e mebeghị mmemme dị otu a na Jerusalem. 27 Mgbe ahụ, ndị nchụaja
na ndị Livayị guzoro gọzie ọha mmadụ ahụ niile. Chineke nụkwara ekpere ha site
n’ebe obibi ya dị nsọ nke eluigwe.

# 31

1 Mgbe ihe niile a gwụsịrị, ndị Izrel bụ ndị nọ n’ebe ahụ pụrụ gaa n’obodo niile dị
na Juda, kurisie ogidi nsọ niile, gbutukwa ogidi Ashera niile. Ha kwatụrụ ebe niile
dị elu na ebe ịchụ aja niile dị na Juda, Benjamin, Ifrem na Manase. Mgbe ha lachara
ha niile n’iyi, ndị Izrel niile laghachiri n’obodo nke aka ha nakwa n’ihe onye ọbụla
nwere.

### *Onyinye maka ife ofufe*

2 Hezekaya kenyekwara ndị nchụaja na ndị Livayị n’usoro ịrụ ọrụ ha n’ụlọnsọ
ukwu Chineke ụbọchị niile, maka ọrụ ịchụ aja nsure ọkụ na aja udo, na inye ekele,
na ito Onyenwe anyị n’ọnụ ụzọ ama ebe obibi ya. 3 Eze nyekwara ụtụ nke ya site n’ihe
nweta ya maka iji chụọ aja nsure ọkụ, nke ụtụtụ na abalị, ya na aja nsure ọkụ nke
ụbọchị izuike niile na ọnwa ọhụrụ, na nke mmemme niile a kara aka a na-eme dịka
ọ dị n’iwu Onyenwe anyị. 4 O nyekwara ndị bi na Jerusalem iwu ka ha na-ewebatara
ndị nchụaja na ndị Livayị oke nke ruuru ha, ka ha nwee ike lebanye anya nke ọma

n'iwu ONYENWE ANYỊ. [5] Ngwangwa e kwusara okwu a, ụmụ Izrel niile wetara onyinye
ha n'ebe ọ bara ụba. Ha wetara mkpụrụ mbụ nke ọka ha, na mmanya vaịnị ọhụrụ ha,
na mmanụ oliv, na mmanụ aṅụ, na ihe omume niile nke ubi. Ha wetakwara n'ụba
otu ụzọ n'ụzọ iri nke ihe niile ọzọ ha nwere. [6] Ndị Izrel na Juda niile bi n'obodo Juda
bubatakwara otu ụzọ n'ime ụzọ iri nke igwe ehi, na igwe ewu na atụrụ, na otu ụzọ
n'ụzọ iri nke ihe nsọ niile edoro nsọ nye ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ha. Ha doro ha
niile n'ukwu n'ukwu [7] Ha bidoro iwebata ihe ndị a site n'ọnwa nke atọ n'afọ ruo
n'ọnwa nke asaa. [8] Mgbe Hezekaya na ndịisi ya bịara hụ ukwu ihe ndị ahụ niile, ha
toro ONYENWE ANYỊ, gọziekwa ndị ya bụ Izrel.

[9] Hezekaya jụrụ ndị nchụaja na ndị Livayị banyere onyinye ndị ahụ e bubatara.
[10] Azaraya, onyeisi nchụaja, onye sitere n'ikwu Zadọk zara sị ya; "Lee, kemgbe ndị
mmadụ malitere iwebata onyinye ha n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ o nwebeghị ihe
kọrọ anyị. N'ezie, anyị nwere karịa, n'ihi na ONYENWE ANYỊ agọziela ndị ya. Leekwa
ihe dị ukwuu ka fọdụrụ."

[11] Hezekaya nyere iwu ka e edozie ụlọ ịchịkọba ihe n'ime ụlọnsọ ukwu ONYENWE
ANYỊ ahụ. Ha mekwara otu a. [12] Emesịa, ha jiri ikwesi ntụkwasị obi bubata onyinye
ndị ahụ, na onyinye nke otu ụzọ n'ime ụzọ iri, na onyinye e doro nsọ, tifee ha n'aka
Konanaya, onye Livayị. Shimei nwanne ya nwoke bụ onye na-esote ya. [13] Jehiel,
Azazaya, Nahat, Asahel, Jerimot, Jozabad, Eliel, Ismakaya, Mahat na Benaya, bụ ndị
nlekọta ọrụ ndị nọ n'okpuru Konanaya na Shimei nwanne ya. Ndị a niile bụ ndị eze
Hezekaya na Azaraya onye nlekọta ụlọnsọ ukwu Chineke họpụtara.

[14] Kore nwa Imna, onye Livayị, onye bụkwa onye na-elekọta ọnụ ụzọ ama dị
n'ọwụwa anyanwụ, ka e tinyere ọrụ ilekọta onyinye afọ ofufu niile e wetaara
Chineke. Ọ bụ ya nwekwa ọrụ ikesa onyinye ndị ahụ niile e bubataara ONYENWE
ANYỊ ha na onyinye ndị ọzọ e doro nsọ. [15] Ndị na-enyere ya aka bụ Eden, Miniamin,
Jeshua, Shemaya, Amaraya na Shekanaya. Ha na-eke onyinye ahụ nye ndị nchụaja
niile n'obodo ahụ, onye ukwu na onye nta, dịka usoro ịrụ ọrụ ha si dị. Ha ji ikwesi
ntụkwasị obi na-enyere ya aka.

[16] Ọzọkwa, ndị ikom niile si n'ezinaụlọ ndị nchụaja, ndị gbara site n'afọ atọ gbagoo,
ndị aha ha dị n'akwụkwọ usoro ọmụmụ, bụ ndị na-arụ ọrụ n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE
ANYỊ, na-eketa oke ihe oriri ha na-eri mgbe ọbụla ha bịara ịrụ ọrụ dịka usoro ọrụ
ha si dị. [17] Ha na-ekenye ndị nchụaja niile e dere aha ha n'akwụkwọ usoro ọmụmụ,
kenyekwa ndị Livayị niile gbara site iri afọ abụọ gbagoo ihe oriri dịka usoro ọrụ ha si
dị. [18] Ndị na-esokwa keta oke ndị a bụ ụmụntakịrị, na ndị inyom, na ụmụ ndị ikom
na ndị inyom na-etolite etolite, bụ ndị niile e depụtara aha ha n'akwụkwọ usoro
ọmụmụ. Ndị a bụ ndị kwesiri ntụkwasị obi n'ido onwe ha nsọ.

[19] A họpụtara ụfọdụ ndị ikom ndị ọrụ ha bụ ike nri nye ndị nchụaja niile bụ ụmụ
ụmụ Erọn. Ndị nchụaja a na-ekwu ihe banyere ha n'ebe a bụ ndị ahụ bi n'ala ubi nke
gbara obodo ndị nchụaja gburugburu, maọbụ ndị bi n'obodo ndị ọzọ. Ndị a bụkwa
ndị e dere aha ha niile n'akwụkwọ usoro ọmụmụ ndị Livayị.

[20] Ndị a bụ ihe ndị Hezekaya mere n'ime Juda niile, ọ na-eme ihe dị mma, na nke
ziri ezi, n'ikwesị ntụkwasị obi n'ihu ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ya. [21] N'ime ihe niile
o mere, nke metụtara ije ozi nke ụlọ ukwu Chineke, na idebe iwu niile na ụkpụrụ
niile Onyenwe anyị nyere, Hezekaya ji obi ya niile gbasoo Chineke. O jikwa obi ya
niile jee ozi niile o jere. Nke a mekwara ka ihe gaara ya nke ọma.

# 32

*Senakerib abaa mba ibuso Jerusalem agha*

1 Mgbe Hezekaya ji ikwesi ntụkwasị obi rụchaa ọrụ ndị a niile, Senakerib bụ eze
Asịrịa, bịara n'ime Juda megide ya. Ọ nọchibidoro obodo niile nke e wusiri ike, na-
eche na ọ ga-emeri ha nye onwe ya. 2 Mgbe o doro eze anya na Senakerib bịara ka
o buo agha megide Jerusalem, 3 Hezekaya mere ngwangwa kpọkọta ụmụ eze niile
na ndịisi agha ya. Mgbe ha zukọtara, ha kpebiri iwuchi isi iyi ahụ niile na-esi n'azụ
obodo na-asọpụta. Ha mekwara otu a. 4 Ha kpọkọtara ọtụtụ ndị ọrụ, ndị gara gbochie
isi iyi niile, mee ka mmiri gharakwa ịsọpụta n'ala ahụ niile. Ha mere nke a n'ihi na
ha achọghị ka eze ndị Asịrịa na ndị agha ya nweta mmiri ha ga-aṅụ mgbe ha bịaruru
ibuso Jerusalem agha. 5 Hezekaya wuzikwara mgbidi obodo ahụ, wusie ha ike n'ebe
niile ọ na-ada ada. O wukwara mgbidi ọzọ gburugburu mgbidi nke ochie ahụ. O
wusikwara ebe siri ike nke Milo dị n'obodo Devid ike, kpụọkwa ọtụtụ ngwa agha na
ọta.

6 O tinyere ndị agha niile nọ n'obodo ahụ n'okpuru ndịisi agha na-achị ha, mee ka
ha niile zukọta n'ọnụ ụzọ ama nke obodo. N'ebe ahụ ka ọ nọ gwa ha okwu sị ha,
7 "Dịrịnụ ike, unu adakwala mba. Unu atụla ụjọ maọbụ daa mba n'ihi eze Asịrịa na
usuu ndị agha ya, n'ihi na onye dịnyeere anyị ka ya ike. 8 Ihe nọnyere ya bụ ogwe
aka nke anụ ahụ, ma nke nọnyere anyị bụ Onyenwe anyị, Chineke anyị, inyere anyị
aka na ibu agha anyị niile." Okwu a, nke Hezekaya bụ eze Juda kwuru, mere ka ndị
Juda nwee agbamume.

9 Mgbe e mesiri, mgbe Senakerib eze Asịrịa na ndị agha ya niile nọchibidoro Lakish,
o zipụrụ ndị ọrụ ya gaa Jerusalem, ka ha jiri ozi a gaa maka Hezekaya, bụ eze Juda
na ndị Juda niile ndị nọ n'ebe ahụ:

> 10 "Nke a bụ ihe Senakerib, bụ eze Asịrịa sịrị: Ọ bụ na gịnị ka ntụkwasị obi
> gị dabere, mere i ji nọgidesie ike na Jerusalem n'ọnọdụ nnọchibido a? 11 Mgbe
> Hezekaya na-asị, 'Onyenwe anyị bụ Chineke anyị ga-azọpụta anyị site n'aka eze
> Asịrịa,' ọ bụ aghụghọ ka ọ na-aghọ unu. Ọ na-eduhie unu, na-achọ ka unu nwụọ
> n'agụụ nakwa akpịrị ịkpọ nkụ. 12 Ọ bụghị Hezekaya na onwe ya wezugara ebe ya
> niile dị elu na ebe ịchụ aja ya niile, na-asị Juda na Jerusalem, 'Unu aghaghị ịkpọ
> isiala n'otu ebe ịchụ aja, chụọkwa aja n'elu ya'?
>
> 13 "Unu amaghị ihe mụ na nna m ha bụ ndị bu m ụzọ chịa mere ndị ala ọzọ? Chi
> niile nke mba ndị ahụ niile ha nwere ike zọpụta ala ha site n'aka m? 14 Ọ bụ onye
> n'etiti chi niile nke mba ndị a niile, bụ ndị nna nna m ha bibiri, napụtarala ndị
> ya site n'aka m? Aṅaa ka chi unu ga-esi zọpụta unu site n'aka m? 15 Unu ekwela
> ka Hezekaya duhie unu, rafuokwa unu otu a. Unu ekwenyekwarala ya, n'ihi na ọ
> dịghị chi ọbụla maọbụ nke mba ọbụla maọbụ alaeze ọbụla pụrụ ịnapụta ndị ya
> site n'aka m maọbụ n'aka nna m ha. Ka ọ bụrụzie chi unu ga-abụ nke ga-anapụta
> unu site n'aka m!"

16 N'ụzọ dị otu a ka ndị ozi Senakerib ahụ ji leda Onyenwe anyị Chineke, na
Hezekaya anya kwuokwa okwu mkparị megide ha. 17 Emesịa, Senakerib dekwara
akwụkwọ mkparị ndị ọzọ, nke ọ nọ n'ime ya kwuluo Onyenwe anyị Chineke Izrel,
na-asị, "Dịka chi ndị ala ọzọ niile enweghị ike zọpụta ndị ha site n'aka m, otu a kwa,
Chineke nke Hezekaya apụghịkwa ịzọpụta ndị ya site n'aka m." 18 Mgbe ahụ, ha ji
oke olu kpọkuo ndị Jerusalem, bụ ndị nọ na mgbidi ahụ n'asụsụ Hibru, imenye ha
egwu nakwa ime ka ụjọ tụọ ha, ka ha nwee ike were obodo ahụ. 19 Ha kwuru okwu
ọjọọ dị iche iche banyere Chineke nke Jerusalem, dịka ha si kwuo megide chi niile
nke ndị ọzọ dị n'ụwa, bụ ọrụ aka mmadụ.

20 Mgbe ahụ, Hezekaya bụ eze, na Aịzaya onye amụma, nwa Emọz, kpọkuru
Chineke nke eluigwe n'ekpere. 21 Onyenwe anyị zipụrụ otu mmụọ ozi, onye gara
tigbuo ndị agha niile bụ dike, ndị ọchịagha na ndịisi niile nọ n'ọmụma ụlọ ikwu nke
eze Asịrịa. Ya mere, Senakerib ji oke ihere laghachi n'ala ya. Ma mgbe ọ gara n'ụlọ

chi ya, ụfọdụ n'ime ụmụ ya ndị ikom, ndị bụ anụ ahụ na ọbara ya, were mma agha gbuo ya n'ebe ahụ.
22 Otu a ka ONYENWE ANYỊ si zọpụta Hezekaya na ndị Jerusalem, site n'aka Senakerib
eze Asịrịa, na sitekwa n'aka ndị iro ya ndị ọzọ. Udo dịkwara n'ala ya niile. 23 Site
n'oge ahụ, Hezekaya ghọrọ eze a maara aha ya na mba niile dị Juda gburugburu. Ọtụtụ mmadụ bidokwara ibutere ONYENWE ANYỊ onyinye dị iche iche na Jerusalem. Hezekaya n'onwe ya nwetakwara onyinye nke ya.

*Nganga, Ọganihu, na ọnwụ Hezekaya*

24 Ma n'oge ahụ, Hezekaya rịara ọrịa, ruo na ọ gaara anwụ. Ma o kpere ekpere rịọ ONYENWE ANYỊ ka ọ gwọọ ya. Ọ zara ekpere ya, gosikwa ya ihe ịrịbama dị ebube.
25 Ma Hezekaya ejighị obi ya niile kelee Chineke ekele n'ihi na nganga batara ya n'obi.
Nke a mere ka iwe wee ONYENWE ANYỊ megide ya na ndị Jerusalem na Juda. 26 Mgbe
Hezekaya na ndị Jerusalem wedara onwe ha n'ala, iwe ONYENWE ANYỊ dajụrụ n'ebe ha nọ, ọ takwaghị ha ahụhụ n'oge niile ahụ Hezekaya dị ndụ.
27 Ya mere, Hezekaya ghọrọ eze bara ọgaranya, bụrụkwa onye a na-asọpụrụ. O wuru ụlọakụ maka ichebe ọlaọcha ya na ọlaedo, na nkume dị oke ọnụahịa, na ụda na-esi isi ụtọ, na ọta na efere ọlaedo ya. 28 O wukwara ọtụtụ ụlọ ọzọ ebe a na-echebe
ọka, na mmanya vaịnị ọhụrụ, na mmanụ oliv. O wukwara ụlọ anụmanụ maka ọtụtụ
igwe ewu na atụrụ ya. 29 O wukwara ọtụtụ obodo nta dị iche iche, nweekwa ọtụtụ
igwe anụ ụlọ, na igwe ehi, n'ihi na Chineke mere ka ọ baa ụba.
30 Hezekaya bụkwa onye gbochiri mmiri iyi Gaihọn n'akụkụ elu elu ya, gwuo olulu ebe mmiri ahụ si sọgharịa na-asọbata n'akụkụ ọdịda anyanwụ nke obodo Devid. Ihe
niile o mere gaara ya nke ọma. 31 Ma mgbe ndị ozi nke ndị na-achị Babilọn zitere ka
ha jụọ ya banyere ihe ebube ahụ nke mere n'ala ahụ, Chineke hapụrụ ya i nwalee ya, ka ọ mara ihe niile dị ya n'obi.
32 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n'oge ọchịchị Hezekaya, na ọrụ ebere niile nke ọ rụrụ ka edere n'akwụkwọ ọhụ onye amụma bụ Aịzaya, nwa Emọz, dịkwa
n'akwụkwọ akụkọ ndị eze Juda na Izrel niile. 33 Hezekaya sooro ndị nna nna ya
dinaa n'ọnwụ, e lie ya n'ugwu n'ebe ili ndị nna nna Devid dị. Ndị Juda niile na ndị niile bi na Jerusalem kwanyere ya ugwu n'ọnwụ ya. Manase nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

# 33

*Manase eze Juda*

1 Manase gbara afọ iri na abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị iri afọ ise na ise
na Jerusalem. 2 O mere ihe dị njọ n'anya ONYENWE ANYỊ, site n'ịgbaso ihe arụ niile nke ndị mba ọzọ bi n'ala ahụ na mbụ mere, bụ ndị ONYENWE ANYỊ chụpụrụ n'ihu
ndị Izrel. 3 O wugharịrị ebe dị elu niile nke nna ya Hezekaya kwadara, o wukwara ebe ịchụ aja dị iche iche nke Baal, pịakwa ogidi Ashera dị iche iche. Ọ kpọrọ isiala
nye usuu ihe niile nke dị na mbara eluigwe feekwa ha ofufe. 4 O wuru ebe ịchụ aja
dị iche iche, n'ime ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, nke ONYENWE ANYỊ, kwuru okwu banyere
ya, sị, "Aha m ga-adịgide na Jerusalem ruo mgbe ebighị ebi." 5 O wuru ebe ịchụ
aja nye usuu ihe niile dị na mbara eluigwe n'ogige abụọ dị n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ.
6 O jikwa ụmụ ya chụọ aja n'ime ọkụ na Ndagwurugwu nke Ben Hinom. Ọ gbara aja, taa amụsụ, chọọ ọsịsa n'aka ndị mgbaasị, jụta ase n'aka ndị na-ajụ mmụọ ọjọọ ase, ya na ndị dibịa afa mekọkwara ihe. O mere ihe dị njọ n'ebe ọ dị ukwuu n'anya ONYENWE ANYỊ si otu a kpasuo iwe ya.
7 O were oyiyi apịrị apị nke o mere debe n'ime ụlọnsọ Chineke, nke Chineke gwara Devid na nwa ya Solomọn okwu sị, "N'ụlọnsọ a na n'ime Jerusalem, nke mụ onwe m

họpụtara site n’ebo niile nke Izrel, ka m ga-akpọkwasị Aha m ruo mgbe ebighị ebi.
8 Ma agaghị emekwa ka ụkwụ ndị Izrel hapụ ala ahụ nke m kenyere nna nna unu,
naanị ma ọ bụrụ na ha elezie anya debe ihe niile m nyere ha n’iwu banyere iwu niile,
ụkpụrụ niile na ntụziaka niile m nyere site n’aka Mosis.” 9 Ma Manase duhiere Juda
na ndị Jerusalem, mee ka ha mee ihe dị njọ karịa nke ndị mba niile ndị ONYENWE
ANYỊ lara n’iyi site n’ihu ndị Izrel.
10 ONYENWE ANYỊ gwara Manase na ndị ya okwu, ma ha egeghị ntị. 11 N’ihi ya,
ONYENWE ANYỊ mere ka ndị ọchịagha nke eze ndị Asịrịa bịa buso ha agha, bụ ndị
jidere Manase, gbanye ya nko igwe n’imi, were ụdọ bronz kee ya agbụ, kpọrọ ya laa
Babilọn. 12 N’oge ahụ ka anya doro Manase. O wedara onwe ya ala nke ukwuu, rịọọ
amara site n’aka ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna ya. 13 ONYENWE ANYỊ nụrụ arịrịọ
ya mee ya ka ọ lọtakwa n’alaeze ya na Jerusalem. Mgbe ahụ, Manase matara na
ONYENWE ANYỊ bụ Chineke n’ezie.
14 Ọ bụ n’oge a ka o wughachiri mgbidi nke abụọ gburugburu obodo Devid, na
mgbidi dị n’ọdịda anyanwụ iyi Gaihọn na ndagwurugwu Kidrọn. Site n’ebe ahụ, o
wuru ya ruo n’ọnụ ụzọ ama Azụ, na gburugburu ugwu Ofel ebe o wuliri ya elu. O
dokwara ndịisi agha ya n’obodo niile e wusiri ike dị na Juda.
15 O wezugara chi ndị mba ọzọ niile, wepụkwa oyiyi ahụ o tinyere n’ụlọnsọ ukwu
ONYENWE ANYỊ, kụtuokwa ụlọ arụsị o wuru n’ugwu ụlọnsọ, na ndị nke o wuru na
Jerusalem. O sitere n’obodo bufuo ha. 16 Emesịa, o wugharịrị ebe ịchụ aja ONYENWE
ANYỊ dị n’ụlọnsọ ukwu Chineke, chụọ aja udo na aja ekele n’elu ya. O nyekwara ndị
Juda niile iwu sị ha fee ONYENWE ANYỊ Chineke nke Izrel ofufe. 17 Ma ụfọdụ ndị Juda
nọgidekwara na-achụ aja n’ugwu, maọbụ naanị ONYENWE ANYỊ Chineke ha ka ha
na-achụrụ aja ndị a.
18 Ma banyere ihe ndị ọzọ niile mere n’oge ọchịchị Manase na ekpere nke o kpeere
Chineke ya, na okwu niile ndị ọhụ gwara ya n’aha ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nke
Izrel, ka e dere n’akwụkwọ akụkọ ihe e mere n’oge ndị eze Izrel niile. 19 Ekpere ya,
na ọsịsa Chineke zara ya, na mmehie ya niile, na-ekwesighị ntụkwasị obi ya, na ebe
niile o wuru ụlọ arụsị n’elu ugwu, na ebe ọ manyere ogidi arụsị Ashera, na arụsị ndị
ọzọ, tupu o weda onwe ya ala, ka e dere n’akwụkwọ akụkọ ndị amụma. 20 Manase
sooro ndị nna nna ya ha dina n’ọnwụ, e lie ya n’ụlọeze ya. Amọn, ọkpara ya, nọchiri
ya.

### *Amọn eze Juda*

21 Amọn gbara iri afọ abụọ na abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị afọ abụọ na
Jerusalem. 22 O mere ihe dị njọ n’anya ONYENWE ANYỊ dịka nna ya Manase mere.
Amọn kpọrọ isiala, chụọkwa aja nye arụsị niile, nke Manase mere. 23 Ma o wedaghị
onwe ya ala n’ihu ONYENWE ANYỊ dịka Manase nna ya mere. Kama Amọn gara n’ihu
mee ka ikpe ọmụma ya mụbaa.
24 Ndị na-ejere Amọn ozi gbara izu megide ya, ha gburu ya n’ime ụlọeze ya. 25 Mgbe
ahụ, ndị ala ahụ gburu ndị niile ahụ gbara izu megide eze Amọn. Ha mere Josaya
nwa ya nwoke eze n’ọnọdụ ya.

## 34

### *Mgbanwe Josaya wetara*

1 Josaya gbara afọ asatọ mgbe e mere ya eze. Ọ chịrị iri afọ atọ na otu na Jerusalem.
2 O mere ihe ziri ezi n’anya ONYENWE ANYỊ, gbasookwa ụzọ niile nke nna nna ya Devid,
o sighị n’ụzọ a wezuga onwe ya gaa n’aka nri maọbụ n’aka ekpe.
3 N’afọ nke asatọ nke ọchịchị ya, mgbe ọ ka bụ okorobịa, o bidoro iji obi ya niile
na-achọ Chineke nke nna ya Devid. N’afọ iri na abụọ nke ọchịchị ya, ọ malitere

ime ka Juda na Jerusalem dị ọcha site n’iwezuga ebe ịchụ aja niile dị elu, na ogidi
Ashera niile, na arụsị a pịrị apị na nke a kpụrụ akpụ niile. 4 N’ihu ya o mere ka a
kwatuo ebe ịchụ aja Baal n’ike. Ọ kụdara ebe ịchụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ
dị n’elu ebe ịchụ aja Baal ndị ahụ, tijisie ogidi Ashera niile, na arụsị na oyiyi niile.
Ọ kụjasịrị ha niile, kpokọrọ ha ghasaa ha n’elu ili ndị na-efe ha. 5 Ọ kpọrọ ọkpụkpụ
ndị nchụaja ahụ ọkụ n’elu ebe ịchụ aja arụsị ha, si otu a mee ka Juda na Jerusalem
dị ọcha. 6 N’obodo ndị Manase, na Ifrem na Simiọn, ruo na Naftalị, na mkpọmkpọ
ebe ha niile gburugburu. 7 O titụrụ ebe ịchụ aja nke arụsị niile na ogidi arụsị Ashera,
gwepịa arụsị ndị a niile dịka ntụ. Otu a ka o mere n’ala Izrel niile tupu ọ laghachi
Jerusalem.

8 N’afọ nke iri na asatọ nke ọchịchị Josaya, mgbe o mere ka ala ahụ na ụlọnsọ dị
ọcha, o zigara Shefan nwa Azalaya, Maaseia onye na-achị obodo, na Joa nwa Joahaz,
onye na-edekọ akụkọ, ka ha wuzie ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke ya.

9 Ha jekwuru Hilkaya onyeisi nchụaja nye ya ego nke e webatara n’ụlọnsọ Chineke,
nke ndị Livayị bụ ndị na-eche ọnụ ụzọ nakọtara site n’aka ndị Manase na Ifrem, na
ndị niile fọdụrụ n’Izrel, na sitekwa n’aka ndị Juda na Benjamin, na ndị niile bi na
Jerusalem. 10 Mgbe ahụ, ha nyefere ya n’aka ndị ikom ahọpụtara maka ilekọta ọrụ
n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. Ndị ikom a kwụrụ ndị ọrụ rụziri ma mezie ụlọnsọ ahụ
ụgwọ. 11 Ha nyekwara ndị ọkpọ ǹtu na ndị na-ewu ụlọ ego iji zụta nkume a wara
awa, osisi iji mee ihe njikọta na osisi ịkwado ụlọ, maka iji rụzie ụlọ a nke ndị eze
Juda hapụrụ ka ọ dakasịa.

12 Ndị ọrụ a rụrụ ọrụ ha n’ikwesị ntụkwasị obi. Ndị nlekọta ha bụ ndị Livayị ndị
a: Jahat na Ọbadaya ndị si n’ikwu Merari, na Zekaraya na Meshulam ndịisi n’ikwu
Kohat. Ndị Livayị ndị ọzọ, ndị bụ ndị nwere nghọta n’iti ngwa egwu dị iche iche
13 ka e mere ndị nlekọta ndị na-ebu ibu. Ha lekọtakwara ndị niile rụrụ ọrụ dị iche
iche. Ụfọdụ n’ime ndị Livayị ndị a bụ ndị ode akwụkwọ na ndị na-edekọ ihe, na ndị
na-eche ọnụ ụzọ nche.

### *Nchọta Akwụkwọ iwu*

14 Mgbe ha na-ewepụta ego anabatara n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, Hilkaya onye
nchụaja chọtara akwụkwọ Iwu ONYENWE ANYỊ, bụ nke o nyere site n’aka Mosis.
15 Hilkaya sịrị Shefan ode akwụkwọ, “Achọtala m Akwụkwọ Iwu n’ime ụlọnsọ ukwu
ONYENWE ANYỊ.” O nyere ya Shefan.

16 Mgbe ahụ, Shefan buuru akwụkwọ ahụ wegara ya eze, gwa ya sị, “Ndị ozi gị
na-eje ozi ha dịka ihe niile i tinyere ha n’aka si dị. 17 Ha enyefela ego niile nke dị
n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ n’aka ndị nlekọta ọrụ, na ndị ọrụ.” 18 Emesịa, Shefan ode
akwụkwọ gwara eze okwu ọzọ sị ya, “O nwere akwụkwọ Hilkaya nyere m.” Shefan
wepụtara ya gụọ ya na ntị eze.

19 Mgbe eze nụrụ ihe niile e dere n’akwụkwọ iwu ahụ, ọ dọwara uwe ya. 20 O nyere
Hilkaya, Ahikam nwa Shefan, Abdon nwa Maịka, Shefan ode akwụkwọ na Asaya, bụ
onye ọrụ eze, iwu, sị ha, 21 “Gaanụ jụta ONYENWE ANYỊ ase, n’isi m na n’isi ndị fọdụrụ
n’Izrel na Juda, banyere ihe niile e dere n’akwụkwọ a bụ nke achọtara. N’ihi na
ọnụma ONYENWE ANYỊ dị ukwuu bụ nke a wụkwasịrị anyị, n’ihi na ndị bu anyị ụzọ
edebeghị okwu nke ONYENWE ANYỊ, ha agbasoghị ihe niile e dere n’ime akwụkwọ a
banyere anyị.”

22 Ya mere, Hilkaya na ndị ahụ eze zipụrụ ya na ha, jekwuuru Hulda, onye amụma
nwanyị, onye bụ nwunye Shalum, nwa Tokhat, nwa Hasra. Onye nlekọta ebe a na-
edebe uwe. Hulda na-ebi na mpaghara Jerusalem e wuru ọhụrụ.

23 Ọ sịrị ha, “Otu a ka ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nke Izrel, kwuru: Gwanụ nwoke
ahụ ziri unu ka unu bịakwutem, sị 24 ‘Otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Ana m aga
iweta mbibi ga-adakwasị ebe a na ndị niile bi n’ime ya, ọbụbụ ọnụ niile e dere n’ime

akwụkwọ a, bụ nke a gụpụtara n'ihu eze Juda. 25 N'ihi na ha ajụla m, gbakụta m
azụ, chụọ aja nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye chi ndị ọzọ, kpasuo m iwe site na ihe niile
nke aka ha mepụtara, a ga-awụkwasị iwe m n'ebe a, ọ gaghị akwụsịkwa.' 26 Gwanụ
eze Juda, onye ahụ zitere unu ịjụta ase site n'ọnụ Onyenwe anyị sị ya, 'Ihe ndị a
ka Onyenwe anyị, Chineke Izrel na-ekwu banyere okwu ndị ahụ ị nụrụ. 27 N'ihi na
o wutere gị n'obi, na i wedakwara onwe gị n'ala n'ihu Chineke, mgbe ị nụrụ ihe o
kwuru megide ebe a na ndị bi n'ime ya, n'ihi na i wedara onwe gị n'ala n'ihu m,
ma dọwaakwa uwe gị, bekwaa akwa n'ihu m. Mụ onwe m anụla, otu a ka Onyenwe
anyị kwupụtara. 28 Ugbu a, aga m achịkọta gị nye nna nna gị ha, a ga-eli gị n'udo.
Anya gị agaghị ahụ mbibi nke m ga-eme ka ọ bịakwasị ebe a na ndị bi n'ime ya.' "

Ha laghachiri inye eze ọsịsa ya.

29 Mgbe ahụ, eze kpọrọ ndị okenye Juda na Jerusalem niile. 30 Ọ gara n'ụlọnsọ ukwu
Onyenwe anyị, ya na ndị ikom Juda niile, ndị niile bi na Jerusalem, na ndị nchụaja,
na ndị Livayị, na ndị mmadụ niile, site n'onye nta ruo na onye ukwu. Ọ gụpụtara na
ntị onye ọbụla okwu niile si n'akwụkwọ ọgbụgba ndụ ahụ, bụ nke achọtara n'ime
ụlọnsọ Onyenwe anyị. 31 Eze guzoro n'akụkụ ogidi, kwee nkwa n'ihu Onyenwe anyị,
ịgbaso Onyenwe anyị, na idebe iwu ya na ụkpụrụ ya niile, na iji obi ya niile, na
mkpụrụobi ya niile rube isi n'okwu ọgbụgba ndụ ahụ e dere n'akwụkwọ ahụ.

32 O mekwara ka ndị niile nọ na Jerusalem na Benjamin kwee Onyenwe anyị otu
nkwa ahụ. Ndị niile bi na Jerusalem mezukwara ihe ndị a dịka ọgbụgba ndụ Chineke,
bụ Chineke nna nna ha si dị.

33 Josaya sitere n'ala niile bụ nke ndị Izrel wezuga ihe arụ niile bụ arụsị, o mere
ndị niile nọ n'Izrel n'oge ahụ ka ha fee Onyenwe anyị bụ Chineke ha. N'ụbọchị ndụ
ya niile, ha esiteghị n'iso Onyenwe anyị, bụ Chineke nke nna nna wezuga onwe ha.

# 35

### *Josaya emee Mmemme Ngabiga*

1 Josaya mere Mmemme Ngabiga Onyenwe anyị na Jerusalem n'ụbọchị iri na anọ
nke ọnwa mbụ n'afọ. Ha gburu atụrụ Mmemme Ngabiga n'ụbọchị ahụ 2 O debekwara
ndị nchụaja n'ime ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, gbaa ha ume ka ha bidokwa ịrụ ọrụ
ha. 3 Ọ sịrị ndị Livayị, bụ ndị e doro nsọ nye Onyenwe anyị, ndị na-emekwa ka ndị
Izrel ghọta ihe, "Dọnyenụ igbe nsọ ahụ n'ụlọnsọ ukwu ahụ Solomọn, nwa Devid, bụ
eze Izrel wuru. Unu ekwesịkwaghị ị na-ebugharị ya n'ubu unu ọzọ. Ugbu a jeerenụ
Onyenwe anyị Chineke unu, na ndị ya Izrel ozi. 4 Kwadoonụ onwe unu n'usoro
ezinaụlọ unu n'otu n'otu, dịka ntụziaka ihe Devid, eze Izrel dere n'akwụkwọ si dị,
ya na nke Solomọn nwa ya si dịkwa.

5 "Werenụ ọnọdụ n'ebe nsọ unu na otu ndị Livayị, maka nkewa nke ezinaụlọ nna
nna unu ha si dị, bụ ikwu ndị Izrel, ndị na-abụghị ndị nchụaja. 6 Gbuonụ atụrụ
ngabiga ndị ahụ, doonụ onwe unu nsọ, doziekwaranụ ụmụnna unu ndị Izrel aja ha,
ime dịka ihe Onyenwe anyị nyere Mosis n'iwu si dị."

7 Josaya nyere ndị niile nọ n'ebe ahụ onyinye igwe ewu na atụrụ ọnụọgụgụ ya dị
iri puku atọ, nke ha ga-eji chụọ aja Mmemme Ngabiga. O nyekwara ha puku oke ehi
atọ site n'akụ eze.

8 Ndịisi ya nyekwara ndị nchụaja na ndị Livayị onyinye afọ ofufu. Otu a kwa,
Hilkaya na Zekaraya, na Jehiel, ndị na-elekọta ụlọnsọ Chineke nyere ndị nchụaja
puku ewu na atụrụ abụọ na narị isii, nyekwa ha narị oke ehi atọ, maka iji chụọ aja
Ngabiga. 9 Ndị bụ ndị ndu n'ebo Livayị aha ha bụ Konanaya, na Shemaya, na Netanel,
na nwanne ya Hashabaya, na Jeiel, na Jozabad, nyere ndị Livayị puku ewu na atụrụ
ise, na narị oke ehi ise maka iji ha chụọ aja Ngabiga.

10 Mgbe e dozichara usoro ije ozi ahụ niile, ndị nchụaja weere ọnọdụ ha, ha na
ndị Livayị n’oke ọrụ ha n’usoro dịka eze nyere n’iwu. 11 Mgbe ahụ ndị Livayị gburu
atụrụ ngabiga ahụ niile, were ọbara ha nye ndị nchụaja. Ha fesara ya n’ebe ịchụ aja
mgbe ndị Livayị nọ na-agba anụ ndị ahụ akpụkpọ. 12 Ha kenyere ezinaụlọ ọbụla anụ
ndị ahụ niile ka ha jiri nke ha ketara chụọ aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ n’usoro
dịka e dere n’ime akwụkwọ Mosis. Otu a ka ha mekwara banyere ehi ndị ahụ. 13 Otu
a kwa, dịka e dere ya n’iwu Mosis, ha hụrụ anụ aja ngabiga ahụ n’ọkụ, sie aja ndị
dị nsọ n’ite, buputa ha ngwangwa kee ha ndị mmadụ niile. 14 Emesịa, ha kwadooro
onwe ha ihe, ma kwadokwara ndị nchụaja, n’ihi na ndị nchụaja, bụ ụmụ Erọn, nọọrị
na-achụ aja nsure ọkụ na abụba anụ ruo abalị. Ya mere, ndị Livayị ji kwadoro onwe
ha ma kwadokwara ndị nchụaja, bụ ụmụ Erọn ihe.
15 Ndị ikwu Asaf ndị a, bụ ndị na-abụ abụ, nọkwa n’ọnọdụ ha n’usoro dịka ihe
Devid, na Asaf, na Heman, na Jedutun onye amụma eze nyere n’iwu. Ndị na-eche
nche n’ọnụ ụzọ ama ahapụghị ọnọdụ ha, n’ihi na ndị Livayị ibe ha doziri ihe debere
ha.
16 Ya mere, e doziri ofufe niile nke ONYENWE ANYỊ n’otu ụbọchị ahụ, maka ime
Mmemme Ngabiga na ịchụ aja nsure ọkụ niile n’ebe ịchụ aja ONYENWE ANYỊ, dịka eze
Josaya nyere n’iwu. 17 Ndị Izrel bụ ndị nọ n’ebe ahụ mere Mmemme Ngabiga n’oge
ahụ, meekwa mmemme achịcha ekoghị eko ụbọchị asaa. 18 E mebeghị Mmemme
Ngabiga n’ụdị a n’Izrel, site n’ụbọchị Samuel onye amụma, o nwebekwaghị eze Izrel
ọbụla nke merela mmemme a dịka Josaya mere, ya na ndị nchụaja, ndị Livayị na
ndị Juda niile na ndị Izrel niile bụ ndị nọ n’ebe ahụ tinyere ndị Jerusalem. 19 Ọ bụ
n’afọ nke iri na asatọ nke ọchịchị Josaya, ka e mere Mmemme Ngabiga a.

*Ọnwụ Josaya*

20 Emesịa, mgbe Josaya hazisịrị ihe n’ụlọnsọ ahụ, Neko eze Ijipt gbagoro ịga buo
agha na Kakemish, nke dị n’akụkụ osimiri Yufretis. Mgbe ahụ, Josaya pụkwara izute
ya n’agha. 21 Ma Neko zipụrụ ndị ozi bịara zie Josaya ozi, sị ya, “Olee esemokwu dị
ugbu a n’etiti mụ na gị, gị eze Juda? Ọ bụghị ibuso gị agha ka m bịara, kama ọ bụ
naanị ụlọ mụ na ha nọ n’agha. Chineke sịrị m ka m mee ngwa; ya mere, egbochikwala
Chineke onye nọnyeere m, ka ọ ghara iji iwe bibie gị.”
22 Ma Josaya esiteghị n’ebe ọ nọ chigharịa, kama o nwogharịrị onwe ya, ka a ghara
ịmata onye ọ bụ, maka ịga buso ya agha. O geghịkwa ntị na okwu ahụ eze Neko
kwuru nke si n’aka Chineke bịa, kama ọ pụrụ ibuso ya agha n’ala Megido.
23 Ma mgbe ndị n’agba ụta gbatara eze, bụ Josaya ụta, eze gwara ndị ozi ya sị,
“Bupunụ m, n’ihi na emerụọla m ahụ n’ebe ọ dị ukwuu.” 24 Ya mere, ha sitere
n’ụgbọ agha ya bulie ya bubanye ya n’ime ụgbọ agha ọzọ, bulata ya na Jerusalem,
ebe ọ nọ nwụọ. E liri ya n’ili nna nna ya ha, ndị Juda na Jerusalem niile ruuru ya
uju.
25 Jeremaya bụụrụ Josaya abụ akwa, ruo taa ndị ikom na ndị inyom na-abụ abụ
a iji na-echeta Josaya. Nke a ghọrọ omenaala n’Izrel, e dekwara ya n’akwụkwọ abụ
akwa dị iche iche.
26 Ihe ndị ọzọ niile Josaya mere, na ọrụ ebere niile ọ rụrụ n’usoro ihe e dere n’iwu
ONYENWE ANYỊ, 27 na akụkọ ndụ ya site na mmalite ruo n’ọgwụgwụ, ka e depụtara
n’akwụkwọ akụkọ ndị eze Izrel na Juda.

# 36

1 Ndị ala ahụ kpọọrọ Jehoahaz, nwa nwoke Josaya mee ya eze na Jerusalem,
n’ọnọdụ nna ya.

*Jehoahaz eze Juda*

2 Jehoahaz gbara iri afọ abụọ na atọ mgbe o bidoro ịchị, ma ọ chịrị na Jerusalem
ọnwa atọ. 3 Eze Ijipt chụdara ya site n'ọchịchị na Jerusalem, kwagide ndị Juda ka
ha tụọra ya ụtụ narị talenti ọlaọcha na otu talenti ọlaedo. 4 Eze Ijipt mere Eliakịm,
otu nwanne Jehoahaz, eze ndị Juda na Jerusalem. Ọ gụgharịrị aha Eliakịm ka ọ bụrụ
Jehoiakim. Ma Neko duuru Jehoahaz nwanne nwoke Eliakịm gaa Ijipt.

### *Jehoiakim eze Juda*

5 Jehoiakim gbara iri afọ abụọ na ise mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị afọ iri na otu
na Jerusalem. O mere ihe dị njọ n'anya Onyenwe anyị Chineke ya. 6 Nebukadneza
eze Babilọn busoro ya agha, jiri ụdọ bronz kee ya agbụ, n'ihi i duru ya gaa Babilọn.
7 Nebukadneza bukọkwaara efere na iko ọlaedo dị n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị,
buru ha gaa buba ha n'ụlọeze ya dị na Babilọn.
8 Akụkọ ọzọ niile gbasara ọchịchị Jehoiakim, na banyere ihe arụ niile o mere, na
ihe niile a chọpụtara megide ya, ka e dere n'akwụkwọ akụkọ ndị eze Izrel na Juda.
Jehoiakin nwa ya ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

### *Jehoiakin eze Juda*

9 Jehoiakin gbara afọ iri na asatọ* mgbe ọ malitere ịbụ eze, ọ chịrị naanị ọnwa atọ
na abalị iri na Jerusalem. O mere ihe jọrọ njọ n'anya Onyenwe anyị. 10 Emesịa, n'afọ
nke ọzọ ya, Nebukadneza ziri ozi mee ka akpọrọ ya, na ọtụtụ ihe ndị dị oke ọnụahịa
sitere n'ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, bulaa ha Babilọn n'oge a. O mere nwanne nna
Jehoiakin bụ Zedekaya, eze Juda na Jerusalem.

### *Zedekaya eze Juda*

11 Zedekaya gbara iri afọ abụọ na otu mgbe e mere ya eze. Ọ chịrị afọ iri na otu na
Jerusalem. 12 O mere ihe jọrọ njọ n'anya Onyenwe anyị Chineke ya, o wedaghị onwe
ya ala nara ndụmọdụ Jeremaya bụ onye amụma, onye na-ekwu okwu nke Onyenwe
anyị. 13 Ọzọkwa, o nupuru isi megide eze Nebukadneza, onye mere ka ọ ṅụọ iyi
n'aha Chineke. Ọ ghọrọ onye isiike, onye mechiri obi ya, jụ ichigharịkwute Onyenwe
anyị, Chineke Izrel. 14 N'ime ka ihe dị njọ karịa, mmadụ niile, tinyere ndị ndu n'etiti
ndị nchụaja, nọgidere bụrụ ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi, site n'ịgbaso omenaala
rụrụ arụ nke mba niile gbara ha gburugburu. Ha merụrụ ụlọnsọ Onyenwe anyị, nke
o doro nsọ n'ime Jerusalem.

### *Ọdịda Jerusalem*

15 Onyenwe anyị, Chineke nna nna ha, sitere n'ọnụ ndị amụma ya gwa ha okwu
mgbe na mgbe, ịdọ ha aka na ntị. O mere nke a n'ihi na o nwere obi ebere n'ebe
ha nọ, na n'ebe ụlọnsọ ukwu ya dị. 16 Ma ha kwara ndị amụma Chineke ndị a emo,
lelịa okwu Chineke ha wetara anya, chịa amụma ha buru ọchị, tutu ruo mgbe ha
kpasuru ọnụma Onyenwe anyị megide ndị ya, ruo mgbe ihe ọbụla na-adịghịkwa nke
pụrụ igbochi ngosipụta oke ọnụma a. 17 Ya mere, o welitara eze Kaldịa imegide ha,
bụ onye ji mma agha gbuchapụ ụmụ okorobịa ha n'ụlọ ebe nsọ ha. O nweghịkwa
ọmịiko n'ebe ụmụ okorobịa, maọbụ ụmụ agbọghọ dị, ndị okenye maọbụ ndị nrịa
nrịa. Chineke weere ha niile nyefee ha n'aka Nebukadneza. 18 O sitere n'ụlọnsọ
ukwu Chineke kpokọrọ ihe niile dị n'ime ya, ma ihe ukwu ma ihe nta, tinyere akụ
niile dị n'ime ụlọnsọ Onyenwe anyị, na n'ụlọeze, na n'ụlọ ndịisi ozi eze buru ha
gaa Babilọn. 19 Ha sunyere ụlọnsọ Chineke ọkụ, kwatukwa mgbidi Jerusalem. Ha
sunyere ụlọeze niile ọkụ, mebikwaa ihe niile ndị bara uru dị n'ime ya.
20 Ha buuru ndị fọdụrụ, bụ ndị niile gbanarịrị mma agha, gaa Babilọn, ha ghọrọ ya,
ghọkwara ụmụ ya ndị nọchiri anya ya, ndị ohu, tutu ruo mgbe ehiwere alaeze Peshịa.

* **36:9** 36:9 Otu akwụkwọ ndị Hibru, ụfọdụ akwụkwọ ndị ọzọ na nke Siriak, ma karịchasịa akwụkwọ ndị Hibru na-ede afọ asatọ. 2Ez 24:8

21 Ala ahụ nwere ụbọchị izuike niile kwesiri ya n’ebe o zuruoke, n’oge niile nke ịtọgbọ
n’efu ya, o zuru ike, ruo mgbe iri afọ asaa ahụ zuru, n’imezu okwu ONYENWE ANYỊ
kwuru site n’ọnụ Jeremaya onye amụma.
22 Ma n’afọ mbụ nke ọchịchị Sairọs eze Peshịa, ime ka okwu ONYENWE ANYỊ nke
sitere n’ọnụ Jeremaya mezuo, ONYENWE ANYỊ kpaliri mmụọ Sairọs, eze Peshịa ka o
mee mkpọsa n’alaeze ya niile, ma denyekwa ya n’akwụkwọ iwu, sị,
23 “Otu a ka Sairọs, eze Peshịa kwuru:

“ ‘ONYENWE ANYỊ, Chineke nke eluigwe, e nyela m alaeze niile nke dị n’ụwa. O nyekwala m ọrụ iwuru ya ụlọnsọ na Jerusalem, nke dị na Juda. Ya mere, onye ya ọbụla n’etiti ndị ya nwere ike ịga, ka ONYENWE ANYỊ Chineke ha nọnyekwara ha.’ ”

# Ezra

*Sairọs enyere ndị na-alaghachi aka*

1 N'afọ mbụ nke ọchịchị Sairọs, eze Peshịa, ime ka okwu ONYENWE ANYỊ nke sitere
n'ọnụ Jeremaya mezuo, ONYENWE ANYỊ kpaliri mmụọ Sairọs, eze Peshịa ka o mee
mkpọsa n'alaeze ya niile, ma denyekwa ya n'akwụkwọ iwu, sị,

2 "Otu a ka Sairọs, eze Peshịa kwuru,

" 'ONYENWE ANYỊ Chineke nke eluigwe, e nyela m alaeze* niile nke dị n'ụwa,
o nyekwala m ọrụ iwuru ya ụlọnsọ na Jerusalem, nke dị na Juda. 3 Ya mere,
onye ya ọbụla n'etiti ndị ya nwere ike ịga Jerusalem nke dị na Juda, gaa wuo
ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel, bụ Chineke nọ na Jerusalem. Ka Chineke ha
nọnyekwara ha. 4 Ma n'obodo ọbụla ebe ndị fọdụrụ ndụ bi, ka ndị nọ n'ebe ahụ
nye ha onyinye ọlaọcha na ọlaedo, na akụ na anụ ụlọ n'ụzọ enyemaka, tinyere
onyinye afọ ofufu maka ụlọnsọ ukwu Chineke nke dị na Jerusalem.' "

5 Mgbe ahụ, Chineke tinyere ọchịchọ ịlaghachi Jerusalem† n'obi ndịisi ezinaụlọ
Juda na Benjamin na ndị nchụaja, na ndị Livayị. Ha kwadokwara ịlaghachi maka
ịrụ ọrụ ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ ahụ na-atụfughị oge. 6 Ndị Juu bi na gburugburu Peshịa
nyere ndị nke na-alaghachi Jerusalem onyinye ihe ọlaọcha na ọlaedo, na anụ ụlọ na
ihe ndị ọzọ, na onyinye dị oke ọnụahịa dị iche iche, tinyere onyinye afọ ofufu ha.

7 Nke ka nke, eze Sairọs chịpụtara ọtụtụ ngwongwo nke ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ
nke Nebukadneza sitere na Jerusalem bukọrọ gaa debe n'ụlọ chi ya. 8 Sairọs bụ eze
Peshịa, chịpụtara ha site n'aka Mitredat, onye bụ odozi akụ, onye gụrụ ha ọnụ nye
Sheshbaza, onye bụ onyeisi ndị Juu ahụ na-alaghachi Jerusalem na Juda.

9 Nke a bụ ọnụọgụgụ ngwongwo ndị ahụ:

efere ọlaedo iri atọ (30),
efere ọlaọcha otu puku (1,000),
efere ọlaọcha iri abụọ na itoolu (29),
10 efere nta ọlaedo iri atọ (30),
efere ọlaọcha nta narị anọ na iri (410),
ngwongwo ndị ọzọ otu puku (1,000).

11 N'ime ihe ndị a niile, ọnụọgụgụ ihe e ji ọlaọcha na ọlaedo kpụọ dị puku
ise na narị anọ (5,400).

Sheshbaza bulatara ihe ndị a mgbe ya na ndị ahụ a dọọrọ n'agha hapụrụ Babilọn
na-alọta Jerusalem.

## 2

*Ọnụọgụgụ ndị lọtara*

1 Ugbu a, ndị a bụ ndị obodo niile a na-achị achị, bụ ndị sitere na ndọta
n'agha nke Nebukadneza, eze Babilọn, onye dọtara ha n'agha buru ha laa
Babilọn. Ha lọghachitere na Jerusalem nakwa Juda, onye ọbụla n'obodo

---

* **1:2** 1:2 Alaeze Sairọs gbatịrị site n'India jeruo Ijipt, ma sitekwa n'ebe dị warawara n'osimiri Uhie ruo Kush.
† **1:5** 1:5 Nke a bụ ogologo ụzọ dị narị kilomita itoolu maọbụ otu puku. Ọ ga-ewe onye ije ihe dịka ọnwa abụọ, maọbụ atọ iji ụgbọala nke ịnyịnya na-adọkpụ ruo Jerusalem.

nke ha. 2 Ndịisi ha na Zerubabel soo, bụ Jeshua, Nehemaya,* Seraya,
Reelaya, Mọdekai, Bilshan, Mispa, Bigvai, Rehum na Baana.

Ihe ndepụta ọnụọgụgụ ndị ikom Izrel bụ nke a:
3 Ndị agbụrụ Parosh, puku abụọ, otu narị na iri asaa na abụọ (2,172).
4 Ụmụ Shefataya, narị atọ na iri asaa na abụọ (372).
5 Ụmụ Ara, narị asaa na iri asaa na ise (775).
6 Ụmụ Pahat-Moab (site n'ụmụ Jeshua na Joab), dị puku abụọ na narị asatọ na iri na abụọ (2,812).
7 Ụmụ Elam, otu puku na narị abụọ na iri ise na anọ (1,254).
8 Ụmụ Zatu, narị itoolu na iri anọ na ise (945).
9 Ụmụ Zakai, narị asaa na iri isii (760).
10 Ụmụ Bani, narị isii na iri anọ na abụọ (642).
11 Ụmụ Bebai, narị isii na iri abụọ na atọ (623).
12 Ụmụ Azgad, otu puku na narị abụọ na iri abụọ na abụọ (1,222).
13 Ụmụ Adonikam, narị isii na iri isii na isii (666).
14 Ụmụ Bigvai, puku abụọ na iri ise na isii (2,056).
15 Ụmụ Adin, narị anọ na iri ise na anọ (454).
16 Ụmụ Atea, site na Hezekaya, iri itoolu na asatọ (98).
17 Ụmụ Bezai, narị atọ na iri abụọ na atọ (323).
18 Ụmụ Jora, otu narị na iri na abụọ (112).
19 Ụmụ Hashum, narị abụọ na iri abụọ na atọ (223).
20 Ụmụ Giba, iri itoolu na ise (95).

21 Ndị ikom Betlehem, otu narị na iri abụọ na atọ (123).
22 Ndị ikom Netofa, iri ise na isii (56).
23 Ndị ikom Anatot, otu narị na iri abụọ na asatọ (128).
24 Ndị ikom Azmavet, iri anọ na abụọ (42).
25 Ndị ikom Kiriat Jearim,† Kefira na Beerọt, narị asaa na iri anọ na atọ (743).
26 Ndị ikom Rema na Geba, narị isii na iri abụọ na otu (621).
27 Ndị ikom Mikmash, otu narị na iri abụọ na abụọ (122).
28 Ndị ikom Betel na Ai, narị abụọ na iri abụọ na atọ (223).
29 Ndị ikom Nebo, iri ise na abụọ (52).
30 Ndị ikom Magbish, otu narị na iri ise na isii (156).
31 Ụmụ Elam nke ọzọ, otu puku, narị abụọ na iri ise na anọ (1,254).
32 Ụmụ Harim, narị atọ na iri abụọ (320).
33 Ụmụ Lod, Hadid na Ono, narị asaa na iri abụọ na ise (725).
34 Ụmụ Jeriko, narị atọ na iri anọ na ise (345).
35 Ụmụ Senaa, puku atọ, narị isii na iri atọ (3,630).

36 Ndị nchụaja:
ndị agbụrụ Jedaya (site n'ezinaụlọ Jeshua), narị itoolu na iri asaa na atọ (973)
37 ndị Imea, otu puku na iri ise na abụọ (1,052)
38 ndị Pashua, otu puku na narị abụọ na iri anọ na asaa (1,247)
39 ndị Harim, otu puku, otu narị na asaa (1,107).

40 Ndị Livayị:
Ndị agbụrụ Jeshua na Kadmiel (nke ụmụ Hodavaya), iri asaa na anọ (74).

* **2:2** 2:2 Nehemaya a na-ekwu ihe banyere ya n'ebe a, abụghị nke dere akwụkwọ Nehemaya † **2:25** 2:25 Maọbụ, Kiriat Arim

41 Ndị ọbụ abụ:
Ndị agbụrụ Asaf,‡ otu narị, na iri abụọ na asatọ (128).

42 Ndị nche ọnụ ụzọ ụlọnsọ ukwu:§
Ndị agbụrụ Shalum, Atea, Talmon, Akub, Hatita na Shobai. Ha dị otu narị, na iri atọ na itoolu (139).

43 Ndị na-eje ozi n'ụlọnsọ:
Ndị agbụrụ* Ziha, Hasufa na ndị Tabaot,
44 Keros, Siaha, Padon,
45 Lebana, Hagaba, Akub,
46 Hagab, Shalmai, Hanan,
47 Gidel, Gaha, Reaya,
48 Rezin, Nekoda, Gazam,
49 Ụza, Pasea Besai,
50 Asna, Meunim, Nefusim,
51 Bakbuk, Hakufa, Hahua,
52 Bazlut, Mehida, Hasha,
53 Bakos, Sisera, Tema,
54 Nezaya na Hatifa.
55 Agbụrụ ndị na-ejere eze Solomọn ozi,
ya bụ ndị agbụrụ Sotai, Hasoferet, Peruda,
56 Jaala, Dakon, Gidel
57 Shefataya, Hatil, na Pokeret-Hazebaim na Ami.
58 Ndị na-eje ozi n'ụlọnsọ, na ụmụ ndị na-ejere eze Solomọn ozi, dị narị atọ na iri itoolu na abụọ (392).

59 Ndị a bụ ndị ọzọ sitere n'obodo Tel Mela, Tel Hasha, Kerub, Adọn na Imea, nke dị n'ala Peshịa lọta. Ma ha enweghị ike igosi ezinaụlọ ebe agbụrụ ha si n'Izrel.
60 Ndị agbụrụ Delaya, Tobaya na Nekoda, narị isii na iri ise na abụọ (652).

61 Sitekwa n'etiti ndị nchụaja:
Ndị agbụrụ Hobaya, Hakoz na Bazilai, nwoke lụrụ ada Bazilai onye Gilead, a kpọọ ya aha n'aha ha.
62 Ndị a chọrọ ebe e depụtara usoro ọmụmụ ha n'akwụkwọ, ma ha achọtaghị ha, n'ihi ya, e wepụrụ ha n'ọrụ nchụaja dịka ndị na-adịghị ọcha.
63 Onyeisi ọchịchị nyere iwu ka ha ghara iri ihe dịkarịsịrị nsọ tutu ruo mgbe e nwere onye nchụaja na-eji Urim na Tumim ajụta ase.

64 Nkpọkọta ọnụọgụgụ ndị niile lọtara dị iri puku anọ na abụọ, na narị atọ, na iri isii (42,360),
65 nke a agụnyeghị ndị ohu ndị ikom na ndị inyom dị puku asaa na narị atọ na iri atọ na asaa (7,337), ndị ikom na ndị inyom, ndị ọbụ abụ† dị narị abụọ (200).
66 Ịnyịnya dị narị asaa na iri atọ na isii (736), ebe ịnyịnya muul dị narị abụọ na iri anọ na ise (245).
67 Ịnyịnya kamel ha dị narị anọ na iri atọ na ise (435), ebe ịnyịnya ibu dị puku isii, na narị asaa, na iri abụọ (6,720).

‡ **2:41** 2:41 Asaf bụ otu n'ime ndị Livayị, onye Devid họpụtara maka ịhụ ihe banyere abụ. 1Ih 15:19; 16:5
§ **2:42** 2:42 Ndị a bụ ndị nche ụlọ ukwu, ha si n'ebo Livayị. 1Ih 15:18
* **2:43** 2:43 Maọbụ, ikwu
† **2:65** 2:65 Tinyere ndị Livayị na-abụ abụ, e nwere ọtụtụ ndị ọzọ na-abụ abụ n'oge mmemme dị iche iche, dịka n'oge ọlụlụ nwanyị, na n'oge mmemme olili, ya bụ ọnwụ.

68 Mgbe ha bịarutere n’ụlọ Onyenwe anyị dị na Jerusalem, ụfọdụ n’ime ndịisi
ezinaụlọ nyere onyinye afọ ofufu maka i ji rụzie ụlọ Chineke ka o guzo n’ọnọdụ ya.
69 Onye ọbụla n’ime ha webatara n’ụlọakụ ihe o nwere ike inye n’ihi ọrụ a. Ha nyere
darik ọlaedo dị puku iri isii na otu (61,000),‡ maịna ọlaọcha dị puku ise (5,000)§ na
onyinye uwe ndị nchụaja, otu narị (100).
70 Ndị nchụaja, ndị Livayị, ndị ọbụ abụ, ndị na-eche ọnụ ụzọ ama, na ndị na-eje ozi
n’ụlọnsọ, tinyere ụfọdụ ndị mmadụ ọzọkwa, ha na ndị Izrel niile fọdụrụ gara biri
n’obodo nke aka ha.

# 3

*Mwugharị ebe ịchụ aja*

1 Mgbe o ruru ọnwa asaa n’afọ, ndị Izrel nọkwa n’obodo ha niile, ndị mmadụ
zukọtara n’otu na Jerusalem. 2 Mgbe ahụ, Jeshua, nwa Jozadak na ndị nchụaja ndị
ọzọ, na Zerubabel nwa Shealtiel na ndị na-enyere ya aka malitere iwugharị ebe ịchụ
aja Chineke Izrel maka ịchụ aja nsure ọkụ n’elu ya dịka Mosis onye nke Chineke si
nye n’iwu. 3 N’agbanyeghị oke egwu maka ndị niile gbara ha gburugburu, ha gara
n’ihu wughachikwa ebe ịchụ aja ahụ na ntọala ya chụọkwa aja n’elu ya nye Onyenwe
anyị, bụ aja nsure ọkụ nke ụtụtụ na nke uhuruchi. 4 Ha mekwara mmemme ụlọ Ikwu
dịka e dere ya n’iwu Mosis, chụọkwa aja nsure ọkụ dị iche iche n’ụbọchị niile nke
mmemme ahụ. 5 Mgbe ihe ndị a gasịrị, ha chụrụ aja nsure ọkụ nke a na-achụ mgbe
niile, na nke aja maka ọnwa ọhụrụ, na aja ndị ọzọ maka mmemme ndị ọzọ dị nsọ a
kara aka nke Onyenwe anyị. Ha chụkwara aja onyinye nke ha ji nye Onyenwe anyị
onyinye afọ ofufu. 6 Ndị nchụaja bidoro ịchụ aja nsure ọkụ nye Onyenwe anyị n’abalị
mbụ nke ọnwa nke asaa. Ọ bụ ezie na a tọbeghị ntọala ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị.

*Mwugharị ụlọnsọ ukwu*

7 Ha nyere ndị ọrụ na-edo nkume na ndị ọkpọ ǹtu ego, nyekwa ndị Saịdọn na ndị
Taịa ihe oriri, na ihe ọṅụṅụ na mmanụ oliv, ka ha nwee ike isite n’osimiri Lebanọn
budata osisi sida ndị ahụ rute Jopa, dịka ikike Sairọs bụ eze Peshịa si kwadoo ya.
8 N’ọnwa nke abụọ nke afọ abụọ site mgbe ha bịarutere n’ụlọ Chineke na
Jerusalem. Mmadụ niile ahụ lọtara Juda so rụọ ọrụ. Zerubabel nwa Shealtiel, Jeshua
nwa Jozadak na ndị fọdụrụ na ụmụnne ha, bụ ndị nchụaja na ndị Livayị, na ndị niile
si na ndọta n’agha lọta Jerusalem, malitere ịrụ ọrụ ahụ. Ha họpụtara ndị Livayị niile
gbara iri afọ abụọ rigoo ka ha lekọta ihe banyere ọrụ ụlọ Onyenwe anyị. 9 Jeshua
na ụmụ ya ndị ikom, na ụmụnne ya, Kadmiel na ụmụ ya, ndị si n’ikwu Hodavaya,
ha na ụmụ Henadad na ụmụ ha, na ụmụnna ha, ha niile bụ ndị Livayị, jikọtara aka
na-elekọta ndị na-arụ ụlọnsọ ukwu Chineke ahụ.
10 Mgbe ndị na-ewu ụlọ tọrọ ntọala ụlọnsọ Onyenwe anyị ahụ, ndị nchụaja ahụ
niile yii uwe ha jide opi n’aka. Otu a kwa ndị Livayị, ụmụ ndị ikom Asaf jikwa ogene
ha na-eto Onyenwe anyị dịka usoro iwu Devid, eze Izrel nyere ha si dị. 11 Ha ji abụ
otuto na ekele bụkuo Onyenwe anyị abụ sị:
“Ọ dị mma,
ịhụnanya ya n’ebe Izrel nọ na-adị ruo ebighị ebi.”
Mmadụ niile jiri oke olu too Onyenwe anyị n’ihi ntọala ụlọnsọ ukwu ahụ ha tọrọ.
12 Ma ụfọdụ ndị merela agadi n’etiti ndị nchụaja, na ndị Livayị, na ndị ndu nke ikwu
dị iche iche, bụ ndị chetara ụlọnsọ ukwu ahụ Solomọn wuru, kwara akwa hie nne,
mgbe ndị ọzọ nọ na-eti mkpu ọṅụ. 13 Ya mere, e sitere n’ebe dị nnọọ anya nụ ụzụ
ọṅụ na ụda akwa ndị mmadụ ahụ. Ma o nweghị onye nwere ike ịkọwata nke bụ
mkpu akwa maọbụ mkpu ọṅụ, n’ihi na ụzụ ahụ dị ukwuu.

‡ **2:69** 2:69 Maọbụ, narị kilogram ise, § **2:69** 2:69 Maọbụ, ọlaọcha ruru puku kilogram atọ

# 4

*Ndị iro*

1 Mgbe ndị iro Juda na Benjamin* nụrụ na ndị ahụ a dọtara n'agha alọtala, nụkwa
na ha na-ewughari ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel, 2 ha bịakwutere
Zerubabel na ndịisi ezinaụlọ sị ha, "Kwerenụ ka anyị nyere unu aka n'ọrụ iwu ụlọ a,
n'ihi na anyị hụrụ Chineke unu n'anya dịka unu onwe unu si hụ ya n'anya. Lee na
kemgbe Isahadon eze Asịrịa butere anyị n'ebe a, anyị alabeghị azụ ịchụrụ ya aja."
3 Ma Zerubabel, na Jeshua na ndịisi ọzọ zara sị ha, "Unu enweghị oke ọbụla n'ọrụ
iwuru Chineke anyị ụlọnsọ. Naanị ndị anyị ga-ewuru ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel
ụlọ ukwu a dịka Sairọs eze Peshịa nyere n'iwu."
4 Ya mere ndị niile nọ ha gburugburu malitere ime ihe ga-ewetara ndị Juda ịda mba
n'obi, na ihe ga-eme ka ụjọ tụọ ha ịga n'ihu n'ọrụ iwu ụlọ ahụ. 5 Ha ji ngarị gota
ụfọdụ ndịisi ka ha megide ha, mebikwaa atụmatụ ha niile n'oge niile Sairọs bụ eze
Peshịa, ruokwa n'oge Daraịọs ghọrọ eze ọhụrụ Peshịa.

*Mmegide n'oge ọchịchị eze Ahasuerọs na Ataksekses*

6 Na mmalite ọchịchị Sekses, ha deere ya akwụkwọ ebubo megide ndị Juda na
Jerusalem.
7 N'ụbọchị niile ahụ Ataksekses bụ eze ndị Peshịa, ka Bishlam, na Mitredat, na
Tabeel, na ndị otu ya fọdụrụ degaara Ataksekses akwụkwọ. E dere akwụkwọ ozi ahụ
n'odide akwụkwọ ndị Aramaik, a sụgharịkwara ya n'asụsụ Aramaik.
8 Ndị ọzọ soro ha gbaa ajọ izu a bụ Rehum onyeisi ọchịchị, na Shimshai ode
akwụkwọ. Ha deere Ataksekses akwụkwọ megide ndị Jerusalem sị ya:

9 "Akwụkwọ ozi a si n'aka Rehum, onyeisi agha na Shimshai ode akwụkwọ, na
ndị otu anyị ndị ọzọ, na ndị ikpe, na ndịisi obodo na-elekọta ndị ahụ niile si Tripolis,
na Peshịa, na Erek, na Babilọn, na Susa nke dị n'Elam, 10 na ọtụtụ ndị ọzọ ahụ onye
ukwu ahụ na onye a na-asọpụrụ bụ Ashobanipal† si n'ala ha bupụ bute na Sameria,
na obodo ndị ọzọ dị n'ọdịda anyanwụ Yufretis."

11 Nke a bụ ihe ha dere n'akwụkwọ ha zigaara

Eze Ataksekses.

Ọ bụ gị, eze ukwu Ataksekses, ka ndị ohu gị bi n'akụkụ ọdịda anyanwụ Yufretis
na-edetara akwụkwọ a.

12 Nke a bụ ime ka ị mata na ndị Juu si Babilọn lọta Jerusalem ọhụrụ a ebidola
iwughachi obodo ọjọọ nke nnupu isi ahụ. Ha ewuolarị mgbidi ya, tọkwaa ntọala
ya.

13 Anyị chọrọ ka o doo gị anya na ọ bụrụ na ha ewuchaa ya, ọ ga-abụ nsogbu
nye alaeze gị, n'ihi na ndị Juu agaghị ekwekwa ịtụrụ gị ụtụ isi ha. 14 Ebe anyị
na-asọpụrụ gị dịka nna anyị ukwu, anyị achọghị ka ihe ọjọọ mee n'alaeze gị, ya
mere anyị ji kpebie idere gị akwụkwọ a. 15 Anyị chọrọ ka i leba anya n'akwụkwọ
akụkọ nke mgbe ochie, ka ị chọpụta na ọ dịghị mgbe Jerusalem na-ejighị bụrụ
obodo nnupu isi. N'ezie, ọ bụ n'ihi nnupu isi a na nkwulu nke ha na-ekwulu ndị
eze dị iche iche, ka e ji bibie ya na mbụ. 16 Anyị chọrọ ka ị mata na ọ bụrụ na
e wuchaa mgbidi obodo a, ọ ga-esi ike ka akụkụ alaeze gị a, nke dị ruo n'osimiri
Yufretis, bụrụkwa nke gị ọzọ.

17 Eze ahụ si otu a saa akwụkwọ ahụ,

Ọ sịrị ha, Rehum onyeisi ọchịchị, na Shimshai ode akwụkwọ, na ndị otu ha bi
na Sameria ruo n'ọdịda anyanwụ nke osimiri Yufretis.

Ndeewonụ.

---

* **4:1** 4:1 Sameria bụ isi obodo alaeze ugwu, ndị agbụrụ Benjamin bụ ndị bi n'obodo ugwu Izrel, ya mere ha ji bụrụ ndị Sameria. † **4:10** 4:10 Maọbụ, Osanapa, dịka e si sụgharịa ya n'akwụkwọ nsọ ụfọdụ

[18] Akwụkwọ ozi ahụ unu zitere anyị, agụọla ma tapịakwaa ya n'ihu m. [19] Enyere
m iwu ka e nyochaa chọpụta, e mere nyochaa, a chọpụtakwara ya n'akwụkwọ na
obodo a siterị n'oge gara aga bụ obodo na-ebuli onwe ya megide ọtụtụ ndị eze,‡
bụrụkwa ebe na-akpali nnupu isi na okwu na-eweta ọgbaaghara. [20] Jerusalem e
nweela ụfọdụ ndị eze nke chịrị n'Izrel, ndị dị ike a maara aha ha, ndị alaeze ha
gbasara rute n'osimiri Yufretis, ndị a na-atụkwara ụtụ dị iche iche. [21] Ugbu a, nye
iwu ka ndị ikom ndị ahụ kwụsị ọrụ, ka a ghara iwuzi obodo a tutu ruo mgbe m
ga-enye iwu. [22] Lezienụ anya ka unu ghara i lepụrụ okwu a anya. Gịnị ga-eme ka
a hapụ ihe iyi egwu a ka ọ gaa n'ihu, ime ka ihe jọrọ alaeze a njọ karịa?
[23] Ngwangwa a gụrụ akwụkwọ ozi si n'aka eze Ataksekses, nye Rehum na Shimshai
bụ ode akwụkwọ, na ndị otu ha, ha mere ọsịịsọ gakwuru ndị Juu na Jerusalem jiri
ike kwagide ha ka ha kwụsị ịrụ ọrụ ahụ.

[24] Ya mere, ha kwụsịrị ịrụ ọrụ n'ụlọnsọ ukwu Chineke na Jerusalem tutu ruo n'afọ
abụọ nke ọchịchị Daraiọs eze Peshịa.

# 5

*Akwụkwọ ozi Tatenai dere*

[1] Ugbu a, ndị amụma, bụ Hegai, na Zekaraya nwa Ido buru amụma nye ndị Juu
nọ na Juda nakwa Jerusalem. Ọ bụ n'aha Chineke nke Izrel, onye na-achị ha ka ha
buru amụma ahụ. [2] Mgbe ahụ, Zerubabel nwa Shealtiel, na Jeshua nwa Jozadak
malitekwara iwu ụlọnsọ Chineke n'Jerusalem. Ndị amụma Chineke ahụ nọnyeere
ha na-enyekwara ha aka.
[3] Ma Tatenai, onye na-achị mba niile dị n'ọdịda anyanwụ Yufretis, na Sheta Bozenai,
na ndị enyi ha, gara Jerusalem jụọ ndị Juu sị; "Onye nyere unu ike ibido iwuzi ụlọnsọ
a na mgbidi Jerusalem?" [4] Ha jụkwara ha ajụjụ sị: "Gịnị bụ aha ndị na-arụ ụlọ a?"
[5] Ma anya Chineke ha dịkwasịrị n'ahụ ndị okenye ndị Juu, ha akwụsịghị ha ọrụ ruo
mgbe akwụkwọ ozi ruru Daraiọs, na mgbe ọsịsa ya bịara site n'akwụkwọ ozi.
[6] Nke a bụ akwụkwọ ozi Tatenai, onye na-achị ala dị n'ọdịda anyanwụ Yufretis, na
Sheta Bozenai, na ndịisi ọzọ degara eze Daraiọs: [7] Ha zigara ya akwụkwọ ozi, nke e
si otu a dee,

Daraiọs bụ eze nwe akwụkwọ a,
Anyị ekelee gị.

[8] Ọ dị mma ka eze mata na anyị jeruru mpaghara ala Juda, n'ebe ahụ ụlọnsọ
ukwu Chineke dị. Anyị chọpụtara na ndị ahụ ji nkume a wara awa na-ewu ya,
na-edokwa osisi na-elu mgbidi ya. Ọrụ ahụ na-agakwa n'ihu nke ọma na-esepụghị
aka n'okpuru nlekọta ha.
[9] Anyị jụrụ ndị okenye ajụjụ sị: Onye nyere unu ikike ibido iwuzi ụlọnsọ a na
mgbidi Jerusalem? [10] Anyị jụkwara ha aha ha, ka anyị si otu a mee ka ị mata aha
ndị ndu ha.
[11] Ma nke a bụ ihe ha zaghachiri anyị:

"Anyị onwe anyị bụ ndị ohu Chineke nke eluigwe na ụwa. Anyị na-ewugharị
ụlọnsọ nke otu eze ukwu ndị Izrel wuru n'oge gara aga. [12] Ma n'ihi na nna nna anyị
ha mere ka iwe wee Chineke nke eluigwe, o weere ha nyefee n'aka Nebukadneza,
onye Kaldịa, bụ eze Babilọn, onye bibiri ụlọnsọ a ma dọrọ ndị bi n'ala ahụ n'agha
laa Babilọn.

‡ **4:19** 4:19 Ebe a na-arụtụ aka na nsogbu, na nnupu isi dịrịị n'oge ọchịchị eze Hezekaya, Jehoiakim nakwa Zedekaya, megide ọchịchị ike nke ndị iro ha na-achị ha. 2Ez 18; 19; 2Ez 24:20; 2Ih 36:13.

[13] "Ma otu ọ dị, n'afọ mbụ nke ọchịchị Sairọs, eze Babilọn, eze Sairọs nyere
iwu ka e wugharịa ụlọnsọ Chineke a. [14] O sikwa n'ụlọnsọ dị na Babilọn wepụta
ngwongwo ọlaọcha na ọlaedo si n'ụlọnsọ Chineke nke Nebukadneza si n'ụlọnsọ
Chineke dị na Jerusalem bupụ bulaa n'ụlọnsọ dị na Babilọn. Mgbe ahụ eze Sairọs
nyefere ha n'aka otu nwoke a na-akpọ Sheshbaza, onye ọ họpụtara dịka gọvanọ.
[15] Ọ gwara ya sị, 'buru ngwongwo ndị a bulaa ha n'ụlọnsọ dị na Jerusalem,
wugharịakwa ụlọnsọ Chineke n'ọnọdụ ya mbụ.'
[16] "Ya mere, ọ bụ Sheshbaza a bịara tọọ ntọala ụlọnsọ dị na Jerusalem. Sitekwa
n'oge ahụ ruo ugbu a, ha nọ na-arụ ya ma ha arụchabeghị ya."

[17] Ugbu a, ọ bụrụ na ọ dị eze mma n'obi, ya nye iwu ka e nyochaa n'ụlọ a na-
echebe akwụkwọ ochie nke ndị eze Babilọn, ịchọpụta maọbụ eziokwu na eze Sairọs
nyere iwu dị otu a iwugharị ụlọnsọ Chineke dị na Jerusalem. Ka eze gwakwa anyị
ihe bụ mkpebi ya banyere okwu a.

# 6

*Iwu Daraiọs*

[1] Ya mere, Daraiọs nyere iwu ka a chọpụta n'ụlọ a na-echebe akwụkwọ ochie nke
ndị Babilọn ma ọ dị akwụkwọ ọbụla dị otu ahụ. [2] Emesịa, a chọpụtara otu akwụkwọ
n'ụlọeze dị na Ekbatana n'ala Midia. Nke a bụ ihe e dere n'ime akwụkwọ ahụ:

Akwụkwọ ozi eze;

[3] N'afọ mbụ nke Sairọs bụ eze, o nyere iwu banyere ụlọnsọ ukwu Chineke dị na Jerusalem ebe ndị Juu na-efe Chineke.

A ga-ewughachi ụlọnsọ ukwu ahụ ka ọ bụrụ ebe ịchụ aja, ka a tọsiekwa ntọala
ya ike. Ịdị elu ya ga-adị iri mita atọ, obosara ya ga-abụkwa otu ihe ahụ. [4] Ahịrị atọ
nke oke nkume ka a ga-eji tọọ ntọala ya, tinyere otu ahịrị osisi. A ga-esi n'ụlọakụ
eze Sairọs kwụọ ụgwọ ihe ndị a niile. [5] Ọzọkwa, a ga-ebughachikwa ngwongwo
ọlaedo na ọlaọcha niile nke ụlọ Chineke, ndị Nebukadneza sitere n'ụlọnsọ ahụ dị
n'Jerusalem buru gaa Babilọn, doghachikwa ha n'ụlọ Chineke.

[6] Mgbe a gụsịrị ya, Daraiọs zighachiri Tatenai onye na-achị Yufretis,* na Sheta
Bozenai, na ndịisi ọzọ nọ n'ọdịda anyanwụ Yufretis ozi sị ha, Unu hapụ ha ka ha
rụọ ọrụ ha. [7] Unu egbochila owuwu ụlọ Chineke ahụ. Kwerenụ ka onyeisi ndị Juu
na ndị okenye Juu wughachi ụlọ Chineke a n'ebe e wuru ya na mbụ.
[8] Ọzọ, ana m enye iwu na nke a bụ ihe unu na-aghaghị imere ndị okenye, na ndị Juu niile na-ewugharị ụlọnsọ Chineke ahụ.

Ka unu site n'ụtụ isi a na-atụrụ m kwụọ ụgwọ e ji ewu ụlọ ahụ na-atụfughị oge
ọbụla. [9] Unu nye ha ihe ọbụla dịkwa ha mkpa, ụmụ oke ehi na ebule, ụmụ atụrụ,
ha ga-eji chụọrọ Chineke nke eluigwe aja. Nyekwanụ ha ọka wiiti, na mmanya, na
nnu, na mmanụ oliv, dịka ndị nchụaja rịọrọ, bụ ndị nọ na Jerusalem, aghaghị inye
ha ihe ndị a kwa ụbọchị niile na-esepụghị aka. [10] Ka ha nwee ike ịchụ ezi aja nye
Chineke nke eluigwe, kpeekwaara mụ na ụmụ m ekpere.
[11] Ana m enye iwu na onye ọbụla ga-agbanwe okwu a, ka ehopụta osisi n'ụlọ ya
jiri kwụgbuo ya. A ga-emekwa ụlọ ya ka ọ bụrụ ebe ikpofu ahịhịa. [12] Chineke ahụ,
onye mere Jerusalem ebe obibi ya, ga-ebibi eze ọbụla maọbụ mba ọbụla gbanwere
iwu a, maọbụ bibie ụlọnsọ ahụ ọzọ.

Ọ bụ Daraiọs na-enye iwu a. Ka onye ọbụla were ike ya niile debe ya.

*Ido ụlọnsọ ahụ nsọ*

---

* **6:6** 6:6 Maọbụ, Ala ofe mmiri

13 Ya mere, n’ihi iwu ahụ eze Daraiọs zitere, Tatenai, onyeisi ọchịchị n’ala ofe
mmiri, na Sheta Bozenai, na ndị otu ha, mere ihe niile dịka ozi ahụ si dị na-atụfughị
oge ọbụla. 14 N’ihi ya, ndịisi Juu gara n’ihu n’ọrụ, ihe na-agakwara ha nke ọma site
na nkwusa onye amụma, bụ Hegai, na Zekaraya, nwa Ido. Ha wuchara ụlọnsọ ahụ
dịka iwu Chineke Izrel nyere si dị, nakwa dịka Sairọs, na Daraiọs, na Ataksekses, ndị
eze Peshịa, nyekwara n’iwu. 15 Ha wusiri ya n’abalị nke atọ n’ọnwa isii (dị ka ọgụgụ
afọ ndị Juu si dị) n’afọ nke isii nke ọchịchị Daraiọs.
16 Ụmụ Izrel, bụ ndị nchụaja na ndị Livayị, na ndị fọdụrụ n’ime ndị e mere ka ha
ga biri n’ala ọzọ, ji ọṅụ mee mmemme nke ido ụlọ nke Chineke ahụ nsọ na gbaghee
ya. 17 N’ihi ido ụlọ ahụ nsọ, ha ji oke ehi dị otu narị n’ọnụọgụgụ, na narị ebule abụọ,
na narị atụrụ anọ chụọ aja, werekwa mkpi iri na abụọ chụọ aja mmehie n’ihi ndị
Izrel niile, dịka ebo niile nke Izrel si dị. 18 Ha guzobere ndị nchụaja na nkewa ha, ndị
Livayị n’otu ha maka ije ozi nke Chineke na Jerusalem, dịka e dere ya n’akwụkwọ
iwu Mosis.

### *Mmemme Ngabiga*

19 Ndị ahụ emere ka ha gaa biri n’ala ọzọ, mere Mmemme Ngabiga n’abalị iri na
anọ nke ọnwa mbụ. 20 Ndị nchụaja na ndị Livayị edoola onwe ha ọcha, ha niile
dịkwa ọcha. Ndị Livayị n’onwe ha gburu ọtụtụ atụrụ Mmemme Ngabiga maka ndị
nchụaja, na ndị Livayị ndị ọzọ, na ndị ahụ niile lọtara alọta site na mba ọzọ. 21 Ya
mere, ndị Izrel niile bụ ndị ahụ lọtara site n’ebe e mere ka ha gaa biri riri ihe ahụ,
ha na ndị ahụ niile kewapụrụ onwe ha juu ibi ajọọ ndụ nke ndị mba ọzọ bi n’ala
ahụ na-ebi, n’ihi ịchọ ONYENWE ANYỊ, Chineke nke Izrel. 22 Ha sokwa mee mmemme
achịcha na-ekoghị eko, nke ha mere ụbọchị asaa. Oke ọṅụ jupụtara n’ala Izrel niile
n’ihi na ONYENWE ANYỊ mere ka eze Asịrịa nwee obiọma n’ebe Izrel nọ, nyere ha aka
iwughari ụlọnsọ ukwu Chineke, onye bụ Chineke Izrel.

# 7

### *Ezra abịaruo Jerusalem*

1 Mgbe nke a gasịrị, n’oge ọchịchị Ataksekses bụ eze Peshịa. Ezra bụ nwa Seraya
nwa Azaraya, Azaraya nwa Hilkaya, 2 bụ nwa Shalum, nwa Zadọk, nwa Ahitub, 3 nwa
Amaraya, nwa Azaraya, nwa Meraiot, 4 Meraiot nwa Zerahaya; Zerahaya nwa Uzi, Uzi
nwa Buki; 5 Buki nwa Abishua, Abishua nwa Finehaz; Finehaz nwa Elieza, Elieza nwa
Erọn onyeisi nchụaja. 6 Ezra a si Babilọn bịarute. Ọ bụ onye ọka n’ihe gbasara iwu
ahụ ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel nyere Mosis. Eze nyere ya ihe niile nke ọ rịọrọ,
n’ihi na aka ONYENWE ANYỊ Chineke ya dịkwasịrị n’ahụ ya. 7 Ụfọdụ ndị Izrel, ndị
nchụaja, ndị Livayị, ndị ọbụ abụ, ndị nche na ndị na-eje ozi n’ụlọnsọ, soro ya jee
Jerusalem n’afọ asaa nke ọchịchị eze Ataksekses.
8 Ezra bịaruru Jerusalem n’ọnwa nke ise, nke afọ asaa nke ọchịchị eze. 9 Ọ hapụrụ
Babilọn n’abalị mbụ nke ọnwa mbụ, rute Jerusalem n’abalị mbụ nke ọnwa ise n’ihi
na Chineke nọnyeere ya. 10 Nke a mere n’ihi na Ezra kpebiri n’obi ya ịmụ, na idebe
iwu ONYENWE ANYỊ, na ịbụ onye ozizi nke okwu Chineke nye ụmụ Izrel.

### *Akwụkwọ ozi Ataksekses degara Ezra*

11 Nke a bụ ndepụta akwụkwọ ozi eze, bụ Ataksekses degaara Ezra onye nchụaja,
na onye ozizi, na onye ọka n’ihe gbasara iwu na ụkpụrụ nke ONYENWE ANYỊ nyere
Izrel:

12 Ataksekses, eze na-achị ndị eze ọzọ,
na-edegara Ezra akwụkwọ, bụ onye nchụaja, bụrụkwa onye nkuzi okwu Chineke nke eluigwe.
Ndeewo!

13 Ugbu a, ana m enye iwu ka onye Izrel ọbụla bi n'alaeze m, ma ndị nchụaja, na
ndị Livayị, ndị wepụtara onwe ha ị soro gị gaa Jerusalem, ha nwere ike ịga. 14 Eze
na mmadụ asaa ndị na-adụ ya ọdụ na-eziga gị Juda na Jerusalem ka ị gaa leba anya
n'iwu Chineke nke dị gị n'aka. 15 Ọzọkwa, ịga e were onyinye ọlaedo na ọlaọcha
ndị a eze na ndị ndụmọdụ ya ji afọ ofufu nye Chineke nke Izrel, onye ebe obibi
ya dị na Jerusalem. 16 Tinyere ọlaedo na ọlaọcha nke i nwere ike ịnata n'ala ahụ
niile n'akụkụ niile nke Babilọn, tinyekwara onyinye ihuọma si n'aka ndị mmadụ,
na ndị nchụaja niile, maka ụlọnsọ ukwu Chineke ha dị na Jerusalem. 17 Ị ga-eji ego
niile ndị a zụọ oke ehi, na ebule, na atụrụ, na onyinye mkpụrụ ọka, na onyinye ihe
ọṅụṅụ, e ji achụ aja n'ebe ịchụ aja nke ụlọnsọ Chineke dị na Jerusalem.
18 Ọ bụrụ na ego amapụta n'ime ya, gị na ụmụnne gị ga-eji ya mee ihe unu
maara bụ uche Chineke unu. 19 Ngwongwo niile e bunyere gị maka ije ozi n'ụlọnsọ
Chineke, buru ha buruo n'ihu Chineke nke Jerusalem. 20 Ma ihe ndị ọzọ nke fọdụrụ
n'ihi ụlọnsọ Chineke gị, nke kwesiri na i mere, ị nwere ike site n'ụlọakụ eze mee
ha.
21 Mụ, bụ Ataksekses, na-eziga iwu a nye ndị na-elekọta ego n'ọdịda anyanwụ
osimiri Yufretis sị ha, ihe ọbụla Ezra, onye nchụaja, na onye nkuzi okwu Chineke
nke eluigwe chọrọ site n'aka unu, unu nye ya. 22 Ọ bụladị ruo ọlaọcha dị otu narị
talenti, ya na narị akpa ọka wiiti ise, na narị galọọnụ mmanya vaịnị isii, na narị
efa* nke mmanụ oliv na nnu n'ọtụtụ ọbụla, dịka ọ chọrọ ya. 23 Ihe ọbụla ọzọ, nke
Chineke nke eluigwe chọrọ, ka e mee ha n'ụzọ kwesiri nye maka owuwu ụlọnsọ
Chineke nke eluigwe. N'ihi gịnị ka iwe Chineke ga-eji dakwasị eze na ụmụ ya ndị
ikom? 24 Ana m enyekwa iwu na ndị nchụaja niile, ndị Livayị niile, ndị ọbụ abụ
niile, ndị nche niile, ndị ozi ụlọnsọ niile, na ndị ọzọ niile na-arụrụ Chineke ọrụ,
agaghị atụ ụtụ ọbụla.
25 "Ugbu a, Ezra, ị ga-eji amamihe Chineke gị nyere gị họpụta ndị ikpe, na ndịisi,
ndị ga-achị obodo niile dị n'ọdịda anyanwụ nke osimiri Yufretis. Ọ bụrụ na ha
amazighị iwu Chineke nke ọma, ị ga-akụziri ha. 26 Ahụhụ ga-adịrị onye ọbụla jụrụ
idebe iwu Chineke, na iwu eze, ga-abụ ọnwụ, maọbụ nchụpụ site n'ala ya gaa mba
ọzọ, maọbụ ịnakọrọ ya ihe niile o nwere, maọbụ ịtụba ya n'ụlọ mkpọrọ."†
27 Otuto dịrị Onyenwe anyị Chineke nna nna anyị ha, onye mere ka eze kpebie ime
ka ụlọnsọ Onyenwe anyị dị na Jerusalem dị mma ile anya. 28 Keleekwa Chineke onye
nyere m ihuọma n'ihu ndị ndụmọdụ ya, na n'ihu ụmụ eze, bụ ndịisi ọchịchị dị ike.
N'ihi na aka Onyenwe anyị Chineke m nọnyeere m. Eji m obi ike chịkọta ndịisi site
n'Izrel ka ha soro m gaa.

# 8

*Ndịisi ezinaụlọ niile so Ezra lọta*

1 Ndị a bụ usoro ọmụmụ ndịisi ezinaụlọ ahụ niile sooro m site na Babilọn
laghachi mgbe Ataksekses bụ eze:

2 ndị ikwu Finehaz,
Geshọm;
ndị ikwu Itama,
Daniel;
ndị ikwu Devid,
Hatush 3 ndị ikwu Shekanaya;
ndị ikwu Parosh,

* **7:22** 7:22 Nke a bụ narị galọọnụ isii † **7:26** 7:26 E dere akwụkwọ ozi a, nke sitere n'amaokwu nke iri na abụọ ruo nke iri abụọ n'isii n'asụsụ Aramaik (ndị Siria) nke bụ usoro asụsụ mba na mba ji emerikọta ihe n'oge ahụ.

Zekaraya na narị mmadụ na iri ise (150) ndị so ya denye aha ha n'akwụkwọ.
4 Ndị ikwu Pahat-Moab,
Eliehoenai nwa Zerahaya dị narị mmadụ abụọ (200),
5 ndị ikwu Zatu,
Shekanaya nwa Jahaziel na narị mmadụ atọ (300) so ya.
6 Ndị ikwu Adin,
Ebed nwa Jonatan na iri mmadụ ise (50) so ya.
7 Ndị sitere n'ikwu Elam,
Jeshaya nwa Atalaya, na iri ndị ikom asaa (70),
8 ndị sitere n'ikwu Shefataya,
Zebadaya nwa Maikel, na iri ndị ikom asatọ (80).
9 Ndị sitere n'ikwu Joab,
Ọbadaya nwa Jehiel na narị ndị ikom abụọ na iri na asatọ (218),
10 ndị sitere n'ikwu Bani,
Shelomit nwa Josifaya na narị ndị ikom na iri isii (160).
11 Ndị sitere n'ikwu Bebai;
Zekaraya nwa Bebai na ndị ikom iri abụọ na asatọ (28),
12 ndị sitere n'ikwu Azgad,
Johanan nwa Hakatan na narị ndị ikom na iri (110).
13 Ndị sitere n'ikwu Adonikam,
ndị ikpeazụ, ndị aha ha bụ Elifelet, na Jeuel na Shemaya na iri ndị ikom isii (60) bụ ndị so ha,
14 ndị sitere n'ikwu Bigvai,
Utai na Zakua na iri ndị ikom asaa (70) bụ ndị so ha.

*Nlọrute na Jerusalem*

15 Akpọkọtara m ha n'akụkụ osimiri na-erubanye n'Ahava, anyị nọrọ n'ebe ahụ
ụbọchị atọ. Mgbe m leruru anya n'etiti ndị mmadụ zukọrọnụ, ha na ndị nchụaja
bịara, a chọpụtara m na o nweghị ọ bụladị otu onye Livayị nọ n'ebe ahụ. 16 Mgbe
ahụ, ezigara m ozi kpọọ Elieza, Ariel, Shemaya, Elnatan, Jarib, Elnatan, Netan,
Zekaraya na Meshulam, ndị bụ ndịisi. Ezikwara m ozi kpọọ Joiarib na Elnatan, bụ ndị
maara ihe. 17 Enyere m ha iwu ka ha gakwuru Ido, onyendu nọ na Kasifia. Agwara m
ha ihe ha ga-agwa Ido na ndị Livayị ibe ya, bụ ndị na-eje ozi n'ụlọnsọ dị na Kasifia, ka
ha zite ndị ga-eje ozi ka ha bịakwute anyị maka ụlọnsọ Chineke. 18 Chineke gosikwara
anyị obiọma zitere anyị nwoke a na-akpọ Sherebaya na ụmụ ya, na ụmụnne ya, ndị
ọnụọgụgụ ha dị iri na asatọ (18). Sherebaya bụ nwa Mahali, nwa Livayị nwa Izrel,
bụrụkwa nwoke nwere ezi uche. 19 Chineke sitere n'ikwu Merari zite Hashabaya, na
Jeshaya, tinyere ụmụnne ya na ụmụ ha ndị ikom, ndị ọnụọgụgụ ha dị iri ndị ikom
abụọ (20). 20 Ha zitekwara narị abụọ na iri abụọ (220) site na ndị na-eje ozi n'ụlọnsọ.
Otu nke Devid na ndịisi ya họpụtara hiwee, maka inyere ndị Livayị aka. E deturu
aha ha niile n'otu n'otu.
21 N'ebe ahụ, ka m nọ kpọsaa obubu ọnụ n'akụkụ osimiri Ahava, n'ihi iweda onwe
anyị ala n'ihu Chineke anyị, na ịrịọ ya ka o duo anyị, ụmụ anyị na akụ anyị niile,
n'ụzọ ziri ezi n'ije anyị, ma nọnyekwara anyị. 22 N'ihi na ihere ekweghị m rịọ eze ka
o dunyere anyị ndị agha, na ndị na-agba ịnyịnya ga-edu anyị, ichebe anyị n'ụzọ, site
n'aka ndị iro. N'ihi na anyị agwalarị eze na Chineke, onye anyị na-efe, na-echebe ndị
niile na-efe ya; gwakwa ya na oke iwe ya na-adakwasị ndị niile gbakụtara ya azụ.
23 Ya mere, anyị buru ọnụ, kpee ekpere, rịọ Chineke ka o chebe anyị. O chebekwara
anyị.
24 Ahọpụtara m ndị nchụaja iri na abụọ ndị a: Sherebaya, Hashabaya na mmadụ
iri ndị ọzọ bụ ụmụnna ha ka ha hụ maka ọlaọcha, na ọlaedo, na efere ọlaedo ahụ,

na ihe ndị ọzọ ahụ eze na ndị na-adụ ya ọdụ, na ndịisi ọchịchị ya, na ụmụ Izrel niile
nyere maka ụlọnsọ ukwu Chineke anyị. 25 Eji m ihe ọtụtụ tụọ onyinye ọlaọcha na
ọlaedo na ihe ndị ọzọ eze, na ndị ndụmọdụ ya, na ndịisi ozi ya, na ndị Izrel nyere
maka ụlọnsọ ukwu Chineke. 26 E jiri m ihe ọtụtụ tụnye ha ọlaọcha dị narị talenti isii
na iri ise (ya bụ 650), na ngwongwo ọlaọcha dị otu narị talenti (ya bụ 100), na ọlaedo
dị otu narị talenti (ya bụ 100). 27 Iri efere ọlaedo abụọ (20) nke ọnụahịa ya bụ puku
darik (1,000),* tinyere efere bronz abụọ e hichaziri nke ọma, nke dị oke ọnụahịa dị
ka efere ọlaedo.
28 Emesịa, agwara m ha okwu sị ha, "Lee, unu onwe unu na ihe ndị a niile bụ ihe
dị nsọ nye ONYENWE ANYỊ. Ọlaọcha na ọlaedo ndị a bụkwa onyinye afọ ofufu e nyere
ONYENWE ANYỊ Chineke nna nna unu ha. 29 Chenụ ha nche, debekwa ha nke ọma,
tupu ruo mgbe unu ga-atụ ha n'ihu ndịisi nchụaja, na ndịisi Livayị, na ndịisi ụlọ nke
Izrel n'ime Jerusalem, n'ime ụlọakụ nke ụlọ ONYENWE ANYỊ." 30 Ya mere, ndị nchụaja
na ndị Livayị kwenyere ibu ọlaọcha na ọlaedo, na ngwongwo ihe nsọ ndị ahụ, buga
ha n'ụlọnsọ ukwu Chineke dị na Jerusalem.
31 Anyị hapụrụ osimiri Ahava n'ụbọchị nke iri na abụọ nke ọnwa mbụ, chee ihu
anyị ịga Jerusalem. Chineke nọnyekwaara anyị, dọpụta anyị site n'aka ndị iro ọbụla,
na n'aka ndị ohi. 32 N'ikpeazụ, anyị rutere Jerusalem n'udo, zukwaa ike ụbọchị atọ.
33 N'ụbọchị nke anọ, site n'oge anyị ruru, e jiri ihe ọtụtụ tụọkwa ọlaọcha na ọlaedo
ahụ, ha na ngwongwo ihe nsọ ndị ọzọ ahụ. E mere nke a n'ụlọnsọ ukwu Chineke.
Ndị tụrụ ha bụ Meremot nwa Ụraya onye nchụaja, na Elieza nwa Finehaz. Jozabad
nwa Jeshua, na Noadaya nwa Binui, ndị Livayị, sokwa tụọ ha. 34 Ihe niile zuru ezu
dịka ịdị arọ ha si dị. E dekwara ọnụọgụgụ ihe a tụpụtara n'akwụkwọ n'oge ahụ.
35 Emesịa, onye ọbụla n'ime anyị si esi lọta chụụrụ Chineke Izrel aja nsure ọkụ. E
ji oke ehi iri na abụọ chụọ aja maka ebo Izrel niile, ya na iri ebule itoolu na isii, na iri
ụmụ ebule asaa na asaa. Ma e ji mkpi iri na abụọ chụọ aja mmehie. E jichakwa ha
niile chụọ aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ. 36 E nyere ndịisi ọrụ eze niile, na ndịisi
ọchịchị† niile dị n'ofe ọdịda anyanwụ osimiri Yufretis akwụkwọ iwu ahụ eze nyere.
Ndịisi a nyekwara aka n'ọrụ iwughachi ụlọnsọ Chineke ahụ.

# 9

*Ekpere Ezra banyere ịlụrịta di na nwunye*

1 Mgbe e mesịrị ihe ndị a, ndịisi bịakwutere m sị, "Ndị Izrel na ndị nchụaja, na ndị
Livayị, ekewapụghị onwe ha site n'etiti ndị agbataobi ha, na omume arụ ha niile,*
dịka nke ndị Kenan, na ndị Het; na ndị Periz, na ndị Jebus, na ndị Amọn, na ndị
Moab, na ndị Ijipt, na ndị Amọrait. 2 Ha alụtarala onwe ha nwunye site n'ụmụ ndị
inyom mba ọzọ ndị a, lụtakwara ụmụ ha ndị ikom. Ha agwakọtala mkpụrụ nsọ na
ndị dị iche iche nọ ha gburugburu. Ọ bụ ndị ndu na ndịisi ọchịchị ha bụ ndị butere
ụzọ n'ibi ndụ ekwesighị ntụkwasị obi a."
3 Ma mgbe m nụrụ nke a, adọwara m uwe ahụ m na uwe mwụda m,† dọpụkwa
ụfọdụ agịrị isi nke isi m, na ajị afụọnụ m, nọdụkwa ala n'ọnọdụ mgbagwoju anya.
4 Mgbe ahụ, ndị niile mara jijiji n'okwu Chineke nke Izrel, gbakọtara m gburugburu
n'ihi ekwesighị ntụkwasị obi nke ndị ahụ e mere ka ha jee biri na mba ọzọ lọtaranụ.
Mụ onwe m nọkwa n'ọnọdụ mgbagwoju anya ruo oge ịchụ aja nsure ọkụ nke anyasị.

* **8:27** 8:27 Ya bụ kilogram asatọ na ụma anọ † **8:36** 8:36 Ndịisi ọrụ eze bụ ndị ọchịchị nke mpaghara dị iche iche nke alaeze ahụ dị n'aka. Ndịisi ọchịchị ọzọ niile na-arụ n'okpuru ha. * **9:1** 9:1 Omume rụrụ arụ, ọ bụ mgbe ọnwa itoolu gasịrị site na n'oge Ezra lọghachiri Jerusalem ka ha mere ihe ndị a megidere iwu Chineke nyere ha n'akwụkwọ. Dit 7:3-4; Nkp 3:5-6. † **9:3** 9:3 ịdọwa uwe bụ otu ihe na-egosi ọnọdụ iru ụjụ. E depụtara nke a n'akwụkwọ Lev 10:6; Neh 13:25; 10:29-30.

[5] N'ikpeazụ, n'oge aja uhuruchi, esitere m n'iweda onwe m ala bilie, eji m uwe
na uwe mwụda dọkara adọka daa n'ala n'ikpere m, chilie aka m abụọ elu, tikuo
ONYENWE ANYỊ Chineke m [6] n'ekpere sị,

"Ihere na-eme m, Chineke m, amaghị otu m ga-esi lelie anya m lekwasị gị n'ihu,
n'ihi na mmehie anyị babigara ụba oke, ikpe ọmụma dị na-eche anyị dịkwa ukwuu,
n'ezie o ruola eluigwe. [7] Site n'ụbọchị nna nna anyị ha ruo taa, ikpe ọmụma anyị
adịla ukwuu. N'ihi mmehie anyị, anyị na ndị eze anyị, na ndị nchụaja anyị ka
enyefere n'aka mma agha, na ndọta n'agha, na ịpụnara anyị ihe n'ike na nweda
n'ala n'aka ndị eze ala mba ọzọ, dịka ọ dị taa.
[8] "Ma ugbu a, na nwa oge nta a, gị bụ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị egosila anyị
amara, mee ka ole na ole fọdụrụ anyị. O nyeela anyị ọnọdụ siri ike n'ime ebe
nsọ ya. Chineke anyị na-enye anya anyị ìhè, mee ka anyị kurutu ume ndụ n'oge
a site n'ọnọdụ ịbụ ohu anyị. [9] N'ihi na ndị ohu‡ ka anyị bụ, ma n'ihi obiọma
na obi ebere gị, ị gbakụtaghị anyị azụ n'ọnọdụ ịbụ ohu anyị. Kama i mere ka
ndị eze Peshịa gosi anyị obi ebere. Ha enyekwala anyị ndụ ọhụrụ, nke anyị ga-
eji nwee ike wughachi ụlọnsọ Chineke anyị, ma wuziekwa ebe ya niile dakpọrọ
adakpọ. Ọzọkwa, o nyekwala anyị ebe ize ndụ site na mwugharị nke mgbidi Juda
na Jerusalem.
[10] "Ugbu a, Chineke anyị, gịnịkwa ka anyị nwere ikwu banyere ihe ndị a niile
mere? Lee na anyị ahapụla gị ọzọ, hapụkwa ịgbaso iwu gị, [11] nke i ji dọọ anyị aka
na ntị site n'ọnụ ndị amụma, bụ ndị ohu gị. N'ihi na i si n'ọnụ ha kwuo sị, 'Ala
ahụ unu na-abanye inweta bụ ala nke ndị bi n'ime ya mere ka ọ rụọ arụ. N'ihi na
ndị bi n'ime ya esitela n'omume ọjọọ ha mee ka akụkụ ala ahụ niile rụọ arụ. [12] Ya
mere, unu enyekwala ụmụ ha ndị ikom ụmụ unu ndị inyom ka ha lụrụ, maọbụ
kwenye ka ụmụ unu ndị ikom lụọ ụmụ ha ndị inyom. Unu achọkwala udo nke
ọdịmma ọbụla n'etiti unu na ha n'oge ọbụla, ka unu dị ike, rie ezi ihe nke ala ahụ,
hapụkwara ya ụmụ unu dịka ihe nketa ha ruo mgbe ebighị ebi.'
[13] "Ma ihe niile dakwasịrị anyị bụ maka ajọ omume anyị, n'ihi ikpe ọmụma dị
ukwuu anyị. Ma lee, Chineke anyị ataghị anyị ahụhụ dịka ịdị ukwuu nke mmehie
anyị si dị, kama, o mekwara ka ole na ole n'ime anyị fọdụ. [14] Ma anyị ọ ga-emebi
iwu gị ọzọ, site n'ịlụ ndị a rụrụ arụ n'omume ha? Ị gaghị eweso anyị iwe ruo na ị
ga-ebibi anyị kpamkpam, na-afọdụghị otu onye? [15] Ma gị, ONYENWE ANYỊ, Chineke
Izrel, ị bụ onye ezi omume. Lee anyị ka anyị guzo n'ihu gị n'ọnọdụ ikpe ọmụma
anyị, ọ bụ ezie na o nweghị onye ọbụla n'ime anyị kwesiri iguzo n'ihu gị n'ihi nke
a."

# 10

*Nkwupụta mmehie*

[1] Mgbe Ezra na-ekpe ekpere, na-ekwupụta mmehie ndị a, na-akwa akwa, na-atụ
onwe ya n'ala n'ihu ụlọ Chineke, igwe ndị Izrel dị ukwuu, bụ ndị nwoke, na nwanyị,
na ụmụntakịrị gbara ya gburugburu soro ya na-akwa akwa dị ilu. [2] Mgbe ahụ,
Shekanaya nwa Jehiel, onye agbụrụ Elam, sịrị Ezra, "Anyị emehiela megide Chineke
anyị, n'ihi n'ịlụ ndị inyom mba ọzọ ndị gbara anyị gburugburu. Ma otu ọ dị, olileanya
ka dịrị ndị Izrel. [3] Ugbu a ka anyị gbaa ndụ n'ihu Chineke anyị, izilaga ndị inyom ndị
mba ọzọ ndị a na ụmụ ha dịka ndụmọdụ onyenwe m Ezra, na ndị na-atụ egwu iwu
Chineke anyị si dị. Ka e mee ihe ndị a dịka iwu si dị. [4] Biko, bilie gwa anyị ụzọ anyị
ga-esi dozie ihe niile mebiri emebi. Anyị ga-eme ihe i kwuru."

‡ **9:9** 9:9 Ndị ohu N'oge a ndị Juu nọọ n'okpuru ọchịchị alaeze ọzọ. Neh 9:36; Dit 28:47-48

5 Mgbe ahụ, Ezra biliri jụọ ndịisi ndị nchụaja na ndị Livayị, na Izrel niile, ma ha ga-eme ihe Shekanaya kwuru. Ha niile ṅụrụ iyi kwenye na ha ga-eme ya.
6 Mgbe ahụ, Ezra si n'ihu ụlọ Chineke pụọ banye n'ime ọnụụlọ Jehohanan, nwa Eliashib. Mgbe ọ nọ n'ebe ahụ, o righị nri ọbụla, ọ ṅụghị mmiri ọbụla, n'ihi na ọ nọgidere na-eru ụjụ n'ihi ekwesighị ntụkwasị obi nke ndị si n'ebe a dọtara ha n'agha lọta.
7 E zisara ozi na Juda na Jerusalem niile na a chọrọ ịhụ ndị niile si esi lọta na Jerusalem.
8 Ndịisi na ndị okenye kpebiri na onye ọbụla nke na-abịaghị n'ụbọchị atọ, dịka atụmatụ ha si dị, na a ga-anara onye ahụ akụ niile o nwere, kewapụkwa onye ahụ site na mkpọkọta ndị Izrel e mere ka ha gaa biri n'ala ọzọ.

9 Mgbe ụbọchị atọ ahụ zuru, ndị ikom Juda na Benjamin niile zukọrọ na Jerusalem. N'ụbọchị nke iri abụọ nke ọnwa itoolu, mmadụ niile zukọrọ nọdụ n'ama dị n'ihu ụlọnsọ Chineke. Mmiri dị ukwuu zoro n'ụbọchị ahụ. Ụjọ tụkwara ndị ahụ niile zukọrọ n'ihi oke mmiri ozuzo ahụ na n'ihi okwu ahụ.
10 Mgbe ahụ Ezra onye nchụaja, biliri ọtọ, sị ha, "Unu emehiela, n'ihi na unu lụrụ ndị inyom mba ọzọ, si otu a tụkwasị ihe n'ikpe ọmụma dịrị Izrel.
11 Ugbu a, sọpụrụnụ ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nna nna unu ha, meekwanụ ihe bụ nzube ya. Kewapụnụ onwe unu site n'ebe ndị mba ọzọ nọ, nakwa ebe nwunye ndị unu si mba ọzọ lụta."
12 Nzukọ niile ahụ zara n'otu olu sị. "Okwu gị ziri ezi, Anyị aghaghị ime dịka i kwuru."
13 Ma ha zakwara sị, "Nke a abụghị ihe anyị ga-eme n'otu ụbọchị maọbụ n'ụbọchị abụọ, n'ihi na aka ọtụtụ mmadụ n'ime anyị dị na mmehie ahụ. Mmiri na-ezosikwa ike, anyị enwekwaghị ike ịnọgide ruo oge dị anya.
14 Ka ndịisi anyị guzobe mkpọkọta niile. Ka ndị niile nọ n'obodo anyị ndị lụrụ nwanyị site na mba ọzọ bịa n'oge a kara aka, ha na ndị okenye na ndị ikpe nke obodo ọbụla, ruo mgbe oke iwe Chineke banyere okwu a sitere n'ebe anyị nọ pụọ."
15 Ma ndị na-ekweghị ka e mee ya otu a bụ naanị Jonatan nwa Asahel na Jazeia nwa Tikva, na Meshulam na Shabetai onye Livayị.
16 Ya mere, ndị ahụ niile si esi lọta, mere dịka mkpebi ahụ si dị. Ezra họpụtara ụfọdụ ndị ikom, ndị bụ ndịisi ezinaụlọ, e si n'ezinaụlọ ọbụla họpụta otu onye. E dekwara aha ndị niile a họpụtara n'akwụkwọ. Ya mere, n'ụbọchị mbụ nke ọnwa iri, ndị a malitere inyocha okwu ndị a.
17 Mgbe ọnwa atọ gasịrị, ya bụ, n'abalị mbụ nke ọnwa mbụ n'afọ, ha rụchara ọrụ banyere ndị ikom lụrụ ndị inyom mba ọzọ.

### *Ndị lụrụ ndị mba ọzọ*

18 A chọpụtara n'etiti ụmụ ndị nchụaja, na ndị a lụrụ ndị inyom si na mba ọzọ.

Ndị si n'ikwu Jeshua nwa Jozadak na ụmụnne ya bụ,

Maaseia, Elieza, Jarib na Gedaliya.
19 Ha niile jikọrọ aka kpebiekwa na ha ga-ezila ndị nwunye ha. Onye ọbụla wetara ebule site n'igwe atụrụ dịka ihe ikpe ọmụma.

20 Ndị si n'ikwu Imea bụ

Hanani, na Zebadaya.

21 Ikwu Harim:

Maaseia, Ịlaịja, Shemaya, Jehiel na Uzaya.

22 Ndị si n'ikwu Pashua:

Elioenai, Maaseia, Ishmel, Netanel, Jozabad, na Eleasa.

23 N'ime ndị Livayị:

Jozabad, Shimei, Kelaya (onye a na-akpọkwa Kelita), Petahaya, Juda na Elieza.

24 N'ime ndị na-abụ abụ,

Eliashib.

N'ime ndị nche ọnụ ụzọ:

Shalum, Telem, na Uri.

25 N’etiti ndị Izrel ndị ọzọ:
Site n’ikwu Parosh:
Ramaya, Izaya, Malkija, Mijamin, Elieza, Malkija na Benaya.
26 Site n’ikwu Elam:
Matanaya, Zekaraya, Jehiel, Abdi, Jeremot na Ịlaịja.
27 Site n’ikwu Zatu:
Elioenai, Eliashib, Matanaya, Jeremot, Zabad na Aziza.
28 Site n’ikwu Bebai:
Jehohanan, Hananaya, Zabai, na Atlai.
29 Site n’ikwu Bani,
Meshulam, Maluk, Adaya, Jashub, Sheal na Jeremot.
30 Site n’ikwu Pahat-Moab,
Adna, Kelal, Benaya, Maaseia, Matanaya, Bezalel, Binui, na Manase.
31 Site n’ikwu Harim:
Elieza, Ishija, Malkija, Shemaya, Shimeon, 32 Benjamin, Maluk na Shemaraya.
33 Site n’ikwu Hashum,
Matenai, Matata, Zabad, Elifelet, Jeremai, Manase na Shimei.
34 Site n’ikwu Bani,
Maadai, Amram, Uel, 35 Benaya, Bedeia, Keluhi 36 Venaya, Meremot, Eliashib
37 Matanaya, Matenai na Jaasu.
38 Site n’ikwu Bani:
Binui na Shimei, 39 Shelemaya, Netan, Adaya, 40 Maknadebai, Shashai, Sharai,
41 Azarel, Shelemaya, Shemaraya, 42 Shalum, Amaraya na Josef.
43 Site n’ikwu Nebo:
Jeiel, Matitaia, Zabad, Zebina, Jadai, Juel na Benaya.

44 Ndị a niile lụrụ ndị inyom site na mba ọzọ. Ha zilagara ha na ụmụ ha.

# Nehemaya

*Ekpere Nehemaya*
1 Nke a bụ okwu Nehemaya nwa Hakalaya:

N'ọnwa Kislev,[*] nke afọ ahụ mere ya iri afọ abụọ nke ọchịchị Ataksekses[†] mgbe
m nọ n'ụlọeze dị na Susa,[‡] 2 otu nwanne m nwoke aha ya bụ Hanani,[§] na ụfọdụ ndị
ọzọ sitere Juda bịara ileta m. Ajụrụ m ha ajụjụ otu ihe si agara ndị Juu ahụ fọdụrụ,
ndị si ebe dị iche iche lọta, jụọkwa ha maka Jerusalem.
3 Ha zara si: "Ndị ahụ niile lọtara[*] nọ n'oke nsogbu na ihere. A kụdara mgbidi
Jerusalem; e sukwara ọnụ ụzọ ama ya niile ọkụ."
4 Mgbe m nụrụ okwu ndị a, anọdụrụ m ala kwaa nnọọ akwa. N'ezie, ajụrụ m iri ihe
ọbụla ọtụtụ ụbọchị, n'ihi na eji m oge m niile kpee ekpere rịọ Chineke nke eluigwe
arịrịọ, 5 si ya:
"Gị, Onyenwe anyị Chineke nke eluigwe, onye dị ukwu na onye dịkwa egwu; gị
onye na-edebe ọgbụgba ndụ ịhụnanya nke ndị ahụ hụrụ ya n'anya na-edebekwa
iwu ya niile. Biko nụrụ arịrịọ m. 6 Leda anya ebere gị ka ị nụrụ arịrịọ mụ bụ ohu
gị na-arịọ gị ehihie na n'abalị. Ana m ekwupụta mmehie anyị bụ ụmụ Izrel, ma
nke m na ezinaụlọ nna m mere megide gị. 7 Anyị emela ihe jọrọ njọ megide gị.
Anyị edebeghị iwu gị na ụkpụrụ gị nke i nyere ohu gị Mosis.
8 "Chetakwa ntụziaka inyere Mosis bụ ohu gị, na-asị, 'Ọ bụrụ na unu emehie, mụ
onwe m ga-achụsa unu n'etiti mba dị iche iche. 9 Ma ọ bụrụ na unu alaghachikwute
m, debe ihe niile m nyere unu n'iwu, a sikwa na a chụsara unu mee ka unu gbasaa
ga n'akụkụ niile nke ụwa, aga m achịkọta unu mee ka unu laghachi na Jerusalem
bụ obodo m họpụtara nye Aha m.'
10 "Anyị bụ ndị ohu gị, bụrụkwa ndị i ji aka gị dị ike zọpụta. 11 Biko, Onyenwe
anyị, nụrụ ekpere mụ bụ ohu gị, nụrụkwa ekpere ndị ohu gị niile ọ na-atọ ụtọ
ịtụ egwu aha gị. Mee ka ihe gara ohu gị nke ọma taa site n'imere ya ebere n'ihu
nwoke a.[†]"
N'oge ahụ abụ m onye na-ebu ihe ọṅụṅụ eze.

# 2

*Nehemaya abịaruo Jerusalem*
1 N'ọnwa Nisan, n'iri afọ abụọ nke ọchịchị eze Ataksekses, mgbe e wetaara eze
mmanya. E buru m mmanya ahụ bugara ya eze. Ugbu a, o nwebeghị mgbe ọbụla m
jirila ihu mgbarụ bịa n'ihu eze. 2 Ya mere, eze jụrụ m, "Gịnị mere ihu gị ji gbaruo
mgbe ọ dịghị ọrịa ji gị? Nke a na-egosi naanị na obi jọrọ gị njọ."
Ụjọ tụrụ m nnọọ nke ukwu. 3 Azara m eze sị, "Onyenwe m, ka ọchịchị eze dị
ogologo ndụ. Gịnị ga-eme ka obi dị m ụtọ ebe ọ bụ na obodo ahụ e liri nna nna m
ha aghọọla mkpọmkpọ ebe, nke a kpọkwara ọnụ ụzọ ama ya niile ọkụ?"

---

[*] **1:1** 1:1 Nke a bụ ọnwa itoolu n'afọ. Zek 7:1 [†] **1:1** 1:1 Nke bụ mgbe narị afọ itoolu n'otu gasịrị site na mgbe ndị mbụ si Babilọn lọghachitara. Ọ bụ na Senchuri nke anọ tupu a mụọ Kraịst. Neh 2:1 [‡] **1:1** 1:1 Ọ bụ ụlọeze dị na ndagwurugwu mmiri Taịgris, ebe ndị eze atọ chịrị obodo Peshịa na-ebi n'oge oke oyi. Est 1:2; Dan 8:2 [§] **1:2** 1:2 Ọ ga-abụ onye nne ji ya na Nehemaya, onye bịara zie ya ozi banyere ọnọdụ Jerusalem. Neh 7:2 [*] **1:3** 1:3 E kewara alaeze Peshịa mpaghara atọ. N'obodo Sameria ka ndị na-achị mpaghara Juda nọ. [†] **1:11** 1:11 Eze a na-ekwu maka ya n'ebe bụ Ataksekses, Ezr 4:21

4 Eze sịrị m, “Ọ bụ gịnị ka ị chọrọ?”

Mgbe ahụ ekpere m ekpere n’obi m nye Chineke, 5 ma zaa eze sị, “Ọ bụrụ na ọ
ga-amasị eze, biko, ọ bụrụkwa na ohu gị achọta ihuọma n’anya gị, ana m arịọ ka ị
ziga m Juda, bụ obodo nna nna m ha, ka m gaa wugharịakwa ya.”

6 Eze sịrị m, ebe nwunye ya nọkwa n’akụkụ ya, “Ije gị ọ ga-abụ ruo olee mgbe, olee
mgbe ị ga-alọghachitekwa?” Ọ masịrị eze i ziga m. Ya mere, enyere m ya oge.

7 Mgbe ahụ, asịrị m ya, “Ọ bụrụ na ọ ga-amasị eze, aga m achọ ka i nye m akwụkwọ
nke m ga-enye ndịisi ọchịchị niile nọ n’akụkụ ọdịda anyanwụ osimiri Yufretis, ka ha
kwere ka m site n’obodo ha gafee ruo mgbe m ga-eru na Juda. 8 Nyekwa m akwụkwọ
ozi m ga-enye Asaf, onye na-elekọta ọhịa eze, ka o nye m osisi nke a ga-eji rụzie ọnụ
ụzọ dị n’akụkụ ụlọnsọ, na nke a ga-eji rụọ mgbidi obodo ahụ, na nke m ga-eji rụọ
ụlọ nke aka m.” Eze meere m ihe ndị a niile, n’ihi na aka ebere Chineke dịnyere m.
9 Mgbe m rutere obodo ndị a dị n’akụkụ ọdịda anyanwụ osimiri Yufretis, enyere m
ndịisi ọchịchị niile akwụkwọ ahụ eze dere nye m. Eze dunyere m ndịisi agha na ndị
agha na-agba ịnyịnya ka ha chebe m n’ije m.

10 Ma mgbe Sanbalat,[*] onye Horonaim, na Tobaya, onye Amọn bụ onyeisi ọrụ
ọchịchị, nụrụ ihe banyere ọbịbịa m, iwe were ha nke ukwuu ịnụ na o nwere onye
na-achọ inyere ndị Izrel aka.

### *Nehemaya eledo Mgbidi Jerusalem*

11 E rutere m Jerusalem, nọdụkwa ebe ahụ mkpụrụ ụbọchị atọ, 12 eji m abalị pụọ
kpọrọ mmadụ ole na ole. O nwebeghị onye ọbụla m gwara ihe Chineke tinyere m
n’obi ime na Jerusalem. Ọ dịghị ịnyịnya ọzọ anyị ji ma ọ bụghị nke ahụ m na-agba.

13 N’abalị a pụrụ m site n’Ọnụ ụzọ ama Ndagwurugwu[†] ruo n’isi iyi mmiri Nkịta
ọhịa,[‡] sitekwa n’ebe ahụ ruo n’Ọnụ ụzọ ama ebe ikpofu ahịhịa.[§] Anyị jegharịrị ịhụ
ebe niile mgbidi Jerusalem dara ada, na ọnụ ụzọ ama ya niile nke ọkụ rere. 14 Emesịa,
ejeruru m ọnụ ụzọ nke dị n’ebe isi iyi dị, ruokwa n’ọdọ mmiri eze, ma ịnyịnya ibu
m enweghị ike isite n’ebe ahụ gafee. 15 Ya mere, ejiri m n’abalị jeruo ndagwurugwu
ahụ, leruo mgbidi ahụ anya. Emesịa, atụgharịrị m lọghachi site n’ọnụ ụzọ Ama
ndagwurugwu. 16 Ndịisi obodo amaghị ebe m gara maọbụ ihe m na-eme, n’ihi na
agwabeghị m onye Juu ọbụla ihe m bu n’obi, maọbụ ndị nchụaja, maọbụ ndị a na-
asọpụrụ, maọbụ ndị ọchịchị obodo, maọbụ onye ọzọ ọbụla ndị ga-arụ ọrụ ahụ.

17 N’ikpeazụ, agwara m ha sị, “Unu maara nke ọma ihe dakwasịrị obodo anyị. Lee
otu mgbidi ya si dakasịa, na otu ọnụ ụzọ ama ya si rechapụ ọkụ. Ka anyị wuzienụ
mgbidi Jerusalem, si otu a wepụ ihe ihere a dịịrị anyị.” 18 Akọọrọ m ha ọchịchọ ahụ
Chineke tinyere m n’obi na ihe mụ na eze kwuru, na otu o si kwadoo ihe m gwara
ya.

Ha zara m sị, “Ọ dị mma, ka anyị wugharịanụ mgbidi ahụ.” Ọrụ ahụ bidokwara
na-atụfughị oge.

19 Ma mgbe Sanbalat, onye Horon, na Tobaya, onyeozi ndị Amọn, na Geshem onye
Arab, nụrụ ya, ha kwara anyị emo sị, “Gịnị bụ ihe nke a unu na-eme? Ọ bụ eze ka
unu na-enupu isi megide?”

20 Ma azara m ha sị, “Chineke nke eluigwe ga-eme ka ihe gara anyị nke ọma. Anyị
onwe anyị bụ ndị ohu ya ga-amalite iwughachi mgbidi a, ma unu onwe unu, unu
enweghị oke maọbụ ọnọdụ ziri ezi maọbụ ihe ncheta ọbụla n’ime Jerusalem.”

---

[*] **2:10** 2:10 Bụ onyeisi ọchịchị na Sameria. [†] **2:13** 2:13 Ọnụ ụzọ ama a dị n’ọdịda anyanwụ nke mgbidi Jerusalem, 2Ih 26:9; Neh 3:13. [‡] **2:13** 2:13 Agwọ, n’okwu ịma atụ [§] **2:13** 2:13 Ọnụ ụzọ ama dị n’ebe a na-ekpofu ahịhịa, bụ ọnụ ụzọ ndị Juu na-esite mgbe ha na-edupụ ụmụ anụmanụ e ji achụ aja, ị duru ha jeruo Ndagwurugwu nke Ben Hinom. Gụọ akwụkwọ Neh 3:14; 2Ez 23:10

# 3

*Ndị wughariri mgbidi ahụ*

1 Mgbe ahụ, Eliashib onyeisi nchụaja na ndị nchụaja ibe ya wuru mgbidi ahụ ruo
n'ụlọ elu Narị na ụlọ elu Hananel. Ha wukwara Ọnụ Ụzọ ama Atụrụ, kwụba ibo ya,
doo ya nsọ. 2 Ndị sitere obodo Jeriko rụkwara ọrụ n'akụkụ ha. Ma Zakua nwa Imri,
rụrụ ọrụ nke ha n'akụkụ ndị ọrụ si Jeriko.

3 Ụmụ ndị ikom Hasena wuru Ọnụ Ụzọ ama Azụ, dobe osisi ya, kwụba ọnụ ụzọ ya,
kpụọkwa ihe mkpọchi ya niile, na ihe ntụchi ya niile n'ọnọdụ ha. 4 Meremot, nwa
Ụraya, nwa Hakoz, rụziri akụkụ mgbidi nke ọzọ. Onye na-eso ya bụ Meshulam, nwa
Berekaya, nwa Meshezabel, rụziri mgbidi, onye na-esota ya bụ Zadọk nwa Baana,
onye rụzikwara mgbidi. 5 Akụkụ nke ọzọ ka ndị ikom Tekoa rụziri, ma ndị ha a
na-asọpụrụ ekweghị ehudata ubu ha nye ọrụ ahụ n'okpuru ndị nlekọta ha.

6 Joiada nwa Pasea na Meshulam nwa Besodeia wuru Ọnụ Ụzọ Ama Jeshana. Ha
tinyere osisi ya niile, kwụba ibo ọnụ ụzọ ya, ihe mkpọchi ya na ihe ntụchi ya niile
n'ọnọdụ ha. 7 Ndị ọzọ rụrụ ọrụ n'akụkụ ha bụ Melataya, onye Gibiọn, na Jadon onye
Meronot, na ndị si Gibiọn na Mizpa. Obodo ndị a dị n'okpuru onyeisi ọchịchị akụkụ
ọdịda anyanwụ Yufretis. 8 Uziel nwa Hahaya, bụ ọkpụ ụzụ ọlaedo, doziri otu akụkụ.
Onye na-eso ya bụ Hananaya, otu onye n'ime ndị na-eme mmanụ otite na-esi isi ọma,
doziri nke na-esote nke ahụ. Ha doziri Jerusalem ruruo ya na Mgbidi Obosara. 9 Onye
na-eso ha bụ Refaya nwa Hua onyeisi ọchịchị otu akụkụ Jerusalem. 10 Onye na-eso
ya bụ Jedaya nwa Harumaf, onye rụrụ akụkụ mgbidi ahụ chere ihu n'ụlọ nke aka
ya. Onye na-eso ya n'ọrụ a bụ Hatush nwa Hashabneia. 11 Onye ọzọ bụ Malkija
nwa Harim, na Hashub nwa Pahat-Moab, ndị wughariri ụlọ elu ọkụ, na otu akụkụ
mgbidi ahụ. 12 Shalum nwa Halohesh na ụmụ ya ndị inyom meziri akụkụ mgbidi nke
na-esota. Ọ bụ onyeisi ọchịchị otu akụkụ Jerusalem nke ọzọ.

13 Hanun duuru ndị obodo Zanoa wuo Ọnụ Ụzọ Ndagwurugwu. Ha wuziri ya, tinye
ibo ya, ihe mkpọchi ya na ihe ntụchi ya niile n'ọnọdụ ha. Ha wuzikwara mpaghara
ahụ nke ịdị ogologo ya ruru narị mita ise, ruo n'ọnụ ụzọ ama dị n'ebe a na-ekpofu
ahịhịa.

14 Malkija nwa Rekab, onyeisi ọchịchị ala nke dị Bet-Hakerem gburugburu, bụ onye
wuziri ọnụ ụzọ ama dị n'ebe ikpofu ahịhịa. O tinyere ibo ya, ihe mkpọchi ya na ihe
ntụchi ya niile n'ọnọdụ ha.

15 Shalum nwa Kol-Hoze, onyeisi ọchịchị ala dị Mizpa gburugburu, wuziri ọnụ ụzọ
ama isi iyi, kpuchie elu ya, tinye ya ibo ọnụ ụzọ ya, ihe mkpọchi na ihe ntụchi ya
niile n'ọnọdụ ha. O mezikwara mgbidi ahụ site n'ọdọ mmiri Siloam ruo n'ubi eze a
gbara ogige, na ruokwa na nkwasa nrịda dị site n'obodo Devid ma e site Jerusalem
na-apụta. 16 Onye na-eso ya bụ Nehemaya nwa Azbuk, onyeisi ọchịchị ọkara n'ime
Bet Zoa.* O wuziri mgbidi ahụ ruo ncherita ihu ebe ili Devid, ruokwa ọdọ ebe emere
maka ichekọta mmiri, na n'Ụlọ ndị Dike n'agha.

*Ọrụ ndị Livayị rụrụ*

17 Ndị na-eso ya bụ ndị Livayị, ndị nke Rehum nwa Bani na-achịkọta. Onye ọzọ
bụ Hashabaya onyeisi ọchịchị ọkara ndị bi na Keila. Ọ rụrụ ọrụ e kenyere ndị ya.

---

* **3:16** 3:16 Bụ ụlọ obibi ochie ndị nche, nke Devid wuru maka ndị agha na-eche ya nche mgbe ọ bụ eze. 2Sa 23:8-39

18 Onye ọzọ na-eso ya bụ Binui nwa Henadad onye bụ onyeisi ọchịchị ọkara akụkụ
Keila nke ọzọ. O du ndị Keila ibe ya rụọ ọrụ ha ketara. 19 Onye na-eso ya bụ Eza nwa
Jeshua onyeisi ọchịchị obodo Mizpa. Ya na ndị otu ya rụziri akụkụ mgbidi ahụ dị
na mgbago ebe ụlọ nchịkọta ngwa agha ruo na nkuku ya. 20 Onye ọzọ na-eso ya bụ
Baruk, nwa Zabai, onye ji nnọọ ịnụ ọkụ n'obi rụzie mgbidi ahụ site na nkuku ya ruo
n'ọnụ ụzọ e si abata ụlọ Eliashib, bụ onyeisi nchụaja. 21 Onye na-eso ya bụ Meremot
nwa Ụraya, nwa Hakoz. Ọ sitere n'ọnụ ụzọ ụlọ Eliashib rụziri ruo na ngwụcha ya.

### *Ọrụ ndị nchụaja rụrụ*

22 Ndị nchụaja si n'akụkụ Jerusalem wuziri akụkụ nke na-esote ya. 23 Isonye ha,
Benjamin na Hashub wuziri akụkụ ahụ dị n'ihu ụlọ ha. Azaraya nwa Maaseia, onye
bụkwa nwa nwa Ananaya wuziri nke na-esote ya, nke dịkwa n'akụkụ ụlọ ya. 24 Binui
nwa Henadad wuziri akụkụ nke ọzọ, nke sitere n'ihu ụlọ Azaraya ruo na nkuku
mgbidi ahụ. 25 Palal nwa Uzai wuziri akụkụ nke na-eso ya site na nkuku mgbidi ahụ
ruo n'ụlọ elu dị n'akụkụ elu elu ụlọeze n'ebe dị nso n'ogige ndị nche. Nke so ya
bụ Pedaia nwa Parosh, 26 na ndị na-eje ozi n'ụlọnsọ ahụ bụ ndị bi n'elu ugwu Ofel,
wuziri akụkụ nke na-esote ruo n'ebe dị n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke Ọnụ Ụzọ Ama
Mmiri, ruokwa n'ụlọ elu nche nke ụlọ ukwu ahụ. 27 Ndị ikom Tekoa wuru akụkụ nke
ọzọ na-esote ya. Ha sitere n'ebe chere ụlọ elu nche nke ụlọnsọ ukwu ahụ ihu, wuzie
mgbidi ahụ ruo na mgbidi dị Ofel nso.

28 Ụfọdụ ndị nchụaja wuziri akụkụ na-esote, nke dị n'ugwu, site n'Ọnụ Ụzọ Ama
Ịnyịnya. Onye ọbụla wuziri mgbidi nke dị n'ihu ụlọ ya. 29 Zadọk nwa Imea wuziri nke
na-esota, bu akụkụ mgbidi ahụ chere ihu n'ụlọ ya. Shemaya nwa Shekanaya onye na-
eche Ọnụ Ụzọ Ama Ọwụwa Anyanwụ wuziri akụkụ nke na-esota. 30 Hananaya nwa
Shelemaya na Hanun nwa Zalaf nke isii, wuziri akụkụ mgbidi nke ọzọ. Meshulam
nwa Berekaya wuziri akụkụ mgbidi na-esota, bụkwa nke dị n'ihu ụlọ obibi ya.
31 Malkija ọkpụ ụzụ ọlaedo wuziri akụkụ na-esota ruo n'ụlọ ahụ ndị na-eje ozi
n'ụlọnsọ, na ndị na-azụ ahịa na-anọkọ. Ụlọ a dị na ncherita ihu Ọnụ Ụzọ Ama
Nnyocha. Malkija sitekwara n'ebe ahụ wuzie mgbidi ahụ ruo n'ọnụụlọ ahụ dị n'elu
nkuku mgbidi ahụ. 32 Ndị ọkpụ ụzụ ọlaedo na ndị ahịa rụchara ọrụ iwuzi akụkụ
mgbidi nke fọdụrụ, site n'etiti ọnụụlọ ahụ dị n'elu nkuku mgbidi ahụ ruo n'Ọnụ Ụzọ
Ama Atụrụ.

## 4

### *Ndị iro*

1 Iwe were Sanbalat nke ukwuu mgbe ọ nụrụ na anyị na-ewuzigharị mgbidi ahụ
niile. O were iwe dị ọkụ, ọnụma jukwara ya obi. Ọ chịrị ndị Juu ọchị, kwaakwa ha
emo. 2 N'ihu ndị otu ya na ndịisi agha Sameria, o kwuru si, “Gịnị ka ndị Juu ole na
ole a na-adịghị ike na-eme? Ha na-achọ iwugharị mgbidi obodo a? Ha ga-achụ aja?
Ha ga-arụcha ọrụ niile n'otu ụbọchị? Ha ga-esita n'aja a kụpịasịrị akụpịa mee ka
nkume ndị a dị ndụ, ka ọ bụ site na nkume ochie ndị a akpọrọ ọkụ?”

3 Tobaya onye Amọn, onye nọ ya n'akụkụ mgbe ahụ, kwukwara okwu sị; “Leenụ
ụdị mgbidi ha na-ewu! Ọ bụrụ na nkịta ọhịa arịkwasị ya n'elu ọ ga-ada!”

4 Mgbe ahụ, e kpere m ekpere sị, “Chineke, biko nụrụ emo a na-akwa anyị. Ka
ịkwa emo ha laghachikwa ha n'isi; ka a dọtakwa ha n'agha buru ha jee mba ọzọ.
5 Elefula mmehie ha anya, agbagharakwala ha, n'ihi na ha ledara gị anya, ledakwa
anyị anya, bụ ndị na-ewuzi mgbidi gị.”

6 Ya mere, anyị wuziri mgbidi ahụ ruo mgbe ha niile ruru ọkara n'ịdị elu ya, n'ihi
na onye ọbụla wepụtara obi ya ịrụ ọrụ.
7 Ma mgbe Sanbalat, Tobaya, ndị Arab, ndị Amọn na ndị Ashdọd nụrụ na ọrụ iwuzi
mgbidi Jerusalem na-aga n'ihu, nụkwa na-emechichala ebe niile puru epu, iwe were
ha nke ukwuu. 8 Ha niile gbara izu ịchịrị ndị agha bịa imegide Jerusalem, ime ka
ọgbaaghara dị n'obodo ahụ. 9 Ma anyị kpere ekpere nye Chineke, kwụbakwa ndị
nche iguzogide ha ehihie na abalị.
10 Mgbe ahụ, ndị Juda bidoro itamu ntamu na-asị, na ike ebidola ịgwụ ndị ọrụ ha,
na mkpọmkpọ ihe fọdụrụ ka buru ibu, na naanị anyị apụghị ịrụcha mgbidi ahụ.
11 Ma n'otu oge ahụ kwa, ndị iro anyị na-agba izu n'akụkụ, na-achọ igbu anyị mgbe
anyị na-eleghị anya ha maọbụ mara ka ọrụ ahụ kwụsị.
12 Ndị Juu ndị bi ha nso bịara ọtụtụ mgbe gwa anyị, "Ebe ọbụla unu gbagara, ha
ga-ebuso unu agha."
13 N'ihi ya, eguzobere m ndị ụfọdụ n'ebe niile dịkarịsịrị ala n'azụ mgbidi ahụ,
n'ebe niile ghere oghe, e guzobere ha, kpanye ha mma agha, ùbe na ụta n'aka dịka
ezinaụlọ ha si dị. 14 Mgbe m lezichara ihe niile anya, eguzooro m ọtọ sị ndị ahụ a na-
asọpụrụ, na ndị ọchịchị niile na ndị ọzọ n'obodo ahụ, "Unu atụla ha egwu. Chetanụ
na Onyenwe anyị, nke dị ukwuu na-eyikwa egwu, ma bukwaaranụ ezinaụlọ unu,
ụmụ unu ndị ikom ndị inyom, ndị nwunye unu na ụlọ unu agha."
15 Mgbe ndị iro anyị chọpụtara na anyị amatala izu ọjọọ ha, na Chineke
emebiekwala atụmatụ ha, anyị onwe anyị laghachiri n'ọrụ anyị nke iwuzi mgbidi
ahụ.
16 Sitekwa n'oge ahụ gaa n'ihu, anyị kere onwe anyị ụzọ abụọ. Ụfọdụ ndị ji ùbe, ọta
na ụta na-anọ na nche mgbe ndị ọzọ na-arụ ọrụ. Ndịisi niile pụtakwara guzo n'azụ
ndị Juda niile ebe ha nọ n'ihu ọrụ ha. 17 Ndị na-edo nkume na ndị ọrụ ọbụla debere
ngwa ọgụ ha n'ebe ọ ga-eru ha aka mgbe ọbụla ha na-arụ ọrụ. 18 Ndị ọzọ tinyere
mma agha ha n'ukwu ha. Ndị na-egbu opi nọkwa m n'akụkụ mgbe niile maka ịfụ
opi mgbe a chọrọ ya.
19 Mgbe ahụ, asịrị m ndị niile a na-asọpụrụ, ndị ọchịchị na ndị mmadụ ọzọ ahụ
niile, "Ọrụ anyị nwere ịrụ dị ukwuu, gbasapụkwa, anyị anọkọtaghị ọnụ n'otu ebe,
ekewakwara anyị ebe dị iche iche na mgbidi. 20 Ya mere, mgbe ọbụla unu nụrụ ụda
opi, gbaranụ ọsọ bịa n'ebe m nọ. Chineke ga-alụkwara anyị ọgụ."
21 Ya mere, anyị nọgidere n'ọrụ anyị site n'ìhè mbụ nke ụtụtụ rụọ mgbe kpakpando
pụtara. Ọkara n'ime ndị ọrụ jikwa ùbe nọrọ na nche. 22 Agwara m ndịisi ọrụ niile
okwu sị ha na onyeisi ọrụ ọbụla na ndị na-enyere ya aka n'ọrụ ga na-anọ na Jerusalem
n'abalị niile. N'ụzọ dị otu a, ndị ọrụ ga-arụ ọrụ ha n'oge ihe dị, ma ha ga-anọkwa na
nche n'abalị. 23 N'oge ndị a niile, eyipụghị m uwe m yi n'ahụ. O nwekwaghị onye
ọbụla ọzọ, maọbụ nwanne m nwoke, maọbụ ndị nche na-eso m onye yipụrụ uwe
ya ma onye ukwu ma onye nta. Mma agha anyị na-adịkwa anyị n'ukwu mgbe niile,
ọbụladị mgbe anyị chọrọ mmiri.

# 5

*Nehemaya enyere ndị ogbenye aka*

1 N'oge ahụ, ụfọdụ ezinaụlọ bidoro itamu ntamu megide ndị Juu ibe ha. 2 Ụfọdụ
na-atamu na-asị, "Anyị na ụmụ anyị dị ukwuu n'ọnụọgụgụ. Ọ bụrụ na anyị ga-eri
nri dị ndụ, o kwesikwara ka anyị nwee ike ịzụrụ ọka."
3 Ndị ọzọ na-asịkwa, "Anyị agbaala ubi anyị, ubi vaịnị anyị na ụlọ anyị n'ibe ka
anyị nweta mkpụrụ ubi n'oge ụnwụ."
4 Ma ndị ọzọkwa na-asị, "Lee na anyị gbazitere ego anyị ji tụọ ụtụ isi eze maka ubi
anyị na ubi vaịnị anyị. 5 N'agbanyeghị na ọ bụ otu anụ ahụ na ọbara ka anyị na ndị

Juu ọzọ nwere, dịka ụmụ ha dị ka ụmụ anyị dịkwa, ma anyị emeela ka ụmụ anyị ndị
ikom na ndị inyom bụrụ ndị ohu. Ụfọdụ n'ime ụmụ anyị ndị inyom abụrụlarị ndị
ohu, ma anyị enweghị ike nke aka anyị, n'ihi na ndị ọzọ bụ ndị nwezi ala ubi anyị
na ubi vaịnị anyị niile."

6 Iwe were m nke ukwuu mgbe m nụrụ mkpu akwa ha na mkpesa ndị a. 7 Ya mere,
mgbe m chesiri echiche banyere ya, e boro m ndị a na-asọpụrụ na ndị ọchịchị ebubo.
A gwara m ha, "Unu na-anara ụmụnna unu ọmụrụnwa ego unu enyere ha." Ya mere,
a kpọrọ m nzukọ ọha mmadụ maka imegide ha. 8 N'ụbọchị nzukọ ahụ, agwara m ha
okwu sị, "Ọtụtụ n'ime anyị na-agbalị n'ụzọ niile ịhụ na anyị zụtaghachiri ụmụnna
anyị ndị Juu bu ndị e resiri ndị mba ọzọ. Ma unu nọ n'ebe a na-agbalị ime ha ka ha
ghọọ ndị ohu unu. Ruo ole mgbe ka anyị ga-anọgide na-agbapụta ha site n'ọnọdụ
ibu ohu?" Ma ha niile ekwughị okwu ọbụla, n'ihi na ha enweghị ihe ha ga-ekwu.

9 Agwakwara m ha okwu ọzọ sị, "Ihe unu na-eme jọrọ njọ. O kwesighị ka unu tụọ
egwu Chineke si otu a gbanarị nkọcha nke ndị iro anyị, bụ ndị mba ọzọ?" 10 Mụ
onwe m na ụmụnna m na ndị na-ejere m ozi na-agbazinye ụmụnne anyị ego na ọka.
Ma ka anyị kwụsị ịnara ọmụrụnwa. 11 Nyeghachinụ ha ala ubi ha niile ngwangwa,
ma ubi vaịnị ha niile, ubi oliv ha niile, ụlọ ha niile na ọmụrụnwa nke unu na-anara
ha nke bụ otu ụzọ n'ime narị nke ego, ọka, mmanya ọhụrụ na mmanụ.

12 Ha sịrị, "Anyị ga-enyeghachi ha. Anyị agakwaghị anara ha ihe ọzọ. Anyị ga-
emezu ihe i kwuru."

Mgbe ahụ, akpọkọtara m ndị nchụaja, mee ka ndị ndu na ndịisi ozi ṅụọ iyi imezu
nkwa ha. 13 Ayọgharịrị m ọnụ ọnụ uwe mwụda m sị, "Otu a ka Chineke ga-esi
yọchapụ site n'ụlọ ha na ihe nweta ha onye ọbụla nke na-agaghị edebezu nkwa
a."

Ndị niile zukọrọ kwere sị, "Amen." Ha tokwara ONYENWE ANYỊ: Ha niile mekwara
ihe ha kwere na nkwa.

14 Ọzọ, n'ime afọ iri na abụọ ahụ a họpụtara m ị bụ onyeisi ọchịchị na Juda, site
n'iri afọ abụọ nke ịbụ eze Ataksekses ruo n'afọ iri atọ na abụọ ya, mụ na ụmụnne m
esiteghị na nri a na-atụkọrọ onyeisi ọchịchị were ihe oriri ọbụla. 15 Ma ọ bụghị otu
a ka o si dị na mbụ, n'ihi na ndịisi ọchịchị niile buru m ụzọ chịa boro ndị ahụ ibu
arọ dị ukwuu. Ha na-anakọta site n'aka onye ọbụla iri mkpụrụ ọlaọcha anọ, tinyere
ihe oriri na mmanya ha na-ewebatakwa. Ọbụladị ndị na-enyere ha aka mekpakwara
ndị mmadụ ahụ. Ma emeghị m otu a, n'ihi ịtụ egwu Chineke. 16 Kama, anọgidesiri
m ike n'ọrụ iwugharị mgbidi ahụ, achịkọtara ndị ikom m niile n'ebe ahụ n'ihi ije ozi
a. Ọ dighịkwa ala anyị zụrụ.

17 Ma otu ọ dị, ndịisi Juu ọnụọgụgụ ha dị otu narị na iri na ise na-eri nri na tebul m,
tinyere ndị na-abịakwute anyị site na mba ndị dị anyị gburugburu. 18 Ihe na-ezu nri
a na-eri n'ụlọ m kwa ụbọchị bụ otu ehi na atụrụ isii gbara abụba, na ọtụtụ ọkụkụ,*
na ụdị mmanya dị iche iche a na-ebubata kwa ụbọchị iri ọbụla. N'agbanyeghị nke a,
ọ dịghị mgbe ọbụla m nara site n'aka ha ụtụ ihe oriri nke onye na-achị ala kwesiri
inweta, n'ihi na ha onwe ha nọ na mkpa dị ukwuu.

19 Chineke m biko, echefula ihe m meere ndị a, gọzie m n'ụzọ nke gị.

# 6

*Izuzu ọjọọ megide Nehemaya*

1 Mgbe a gwara Sanbalat, na Tobaya, na Geshem onye Arab, na ndị iro anyị ndị ọzọ
na m ewuzichaala mgbidi ahụ, na ọ dịkwaghị ntipu fọdụrụ na ya, ọ bụ ezie na n'oge
ahụ, etinyebeghị m ibo n'ọnụ ụzọ ama ya niile, 2 Sanbalat na Geshem zitere m ozi a,
"Bịa ka anyị zụkọta n'otu obodo nta nke dị n'obosara ala Ono."

* **5:18** 5:18 Maọbụ, ụmụ nnụnụ

Ma ha na-achọ ụzọ imerụ m ahụ. 3 Ya mere, azara m ha site n’aka ndị ozi sị, “Ana
m arụ ọrụ dị oke mkpa, agaghị enwe ike ịrịdata. N’ihi gịnị ka ọrụ a ga-eji kwụsị
mgbe m ga-ahapụ ya ịbịa n’ebe ị nọ?” 4 Ha zitere ozi ahụ ugboro anọ, ma enyere m
ha otu ọsịsa ahụ ugboro anọ.
5 Na nke ugboro ise, Sanbalat ziteere m onye na-ejere ya ozi, ya na akwụkwọ ozi
nke e mechighị emechi o ji bịa. 6 Nke a bụ ihe e dere n’ime ya;
“Anụla ya na mba niile, Geshem kwukwara otu ihe ahụ, na gị na ndị Juu na-
akwado inupu isi. Ọ bụ ya mere i ji na-ewu mgbidi ahụ. Ozi ahụ na-ekwukwa na
gị onwe gị na-achọ ịbụ eze ha, 7 na ị họpụtala ndị amụma ndị ga-ekwupụta na
Jerusalem na ị bụ eze ndị Juda. Ugbu a, ozi a ga-eru ntị eze, ya mere, bịa ka mụ na
gị kparịtaa ụka n’etiti onwe anyị.”
8 Ma eziri m ya ozi sị, “O nweghị eziokwu ọbụla dị n’ihe ị na-ekwu, n’ihi na ha bụ
ihe i chepụtara n’obi gị.”
9 Nzube ha bụ ime ka ụjọ tụọ anyị. Ha na-echekwa sị, “Ha ga-ada mba n’ọrụ a ma
hapụkwa ịrụcha ya.”
Ma akpọkuru m Chineke sị ya, “Biko gbaa aka m ume.”
10 Otu ụbọchị, a gara m n’ụlọ Shemaya, nwa Delaya, nwa Mehetabel, onye e
mechibidoro ụzọ n’ụlọ ya. Ọ sịrị m, “Ka anyị zukọta n’ụlọ Chineke, n’ime ụlọnsọ,
ka anyị mechiekwa ụzọ niile nke ụlọnsọ ahụ, n’ihi na ndị ikom na-abịa igbu gị, e,
n’abalị ka ha na-abịa igbu gị.”
11 Ma azara m si; “O kwesiri ka mụ onwe m bụ onyeisi ọchịchị gbaa ọsọ? O kwesiri
ka mmadụ dịka m[*] gbaa ọsọ gbaba n’ụlọnsọ Chineke ịzọpụta ndụ ya? Agaghị m aga.”
12 Mgbe ahụ ka o doro m anya na Chineke agwaghị ya okwu ọbụla, kama na ọ bụ
Tobaya na Sanbalat zụrụ ya. 13 E goro ya ọrụ ka o yinye m egwu, ka m site na-ime
otu a mehie, mgbe ahụ, ha ga-ahụ ihe ha ga-eji nye m aha ọjọọ, kwaa m emo.

14 “Chineke m, cheta Tobaya na Sanbalat, n’ihi ihe ndị a niile ha mere, chetakwa
Noadaya, bụ onye amụma nwanyị, na ndị amụma ndị ọzọ niile fọdụrụ, bụ ndị ahụ
chọrọ ime ka m tụọ egwu.” 15 E wuchara mgbidi ahụ n’ụbọchị iri abụọ na ise nke
ọnwa Elul, n’ime iri ụbọchị ise na abụọ.

### *Ọgwụgwụ ọrụ*

16 Mgbe ndị iro anyị niile nụrụ ya, mba niile ndị nọ anyị gburugburu tụrụ ụjọ, obi
jụkwara ha oyi, n’ihi na ha matara na-arụrụ ọrụ a site n’inyeaka Chineke.
17 Ọzọ, n’ụbọchị ndị ahụ ndị Juda a na-asọpụrụ na e zigara Tobaya ọtụtụ akwụkwọ
ozi, akwụkwọ ozi Tobaya na-erutekwa ha aka. 18 N’ihi na ọtụtụ ndị Juda ṅụrụ iyi
ịnọ ya n’ukwu, n’ihi na ọgọ ya nwoke n’ala Juda bụ Shekanaya nwa Ara. Ọzọkwa,
Jehohanan nwa nwoke Tobaya na-alụ nwa nwanyị Meshulam, nwa Berekaya. 19 Ha
niile nọgidere na-agwa m otu Tobaya si bụrụ ezigbo mmadụ. Ma ha na-apụkwa gaa
kọọrọ ya ihe niile m kwuru. N’ihi ya Tobaya zitere ọtụtụ akwụkwọ ozi ime ka ụjọ
tụọ m.

## 7

1 Mgbe e wuzichara mgbidi ahụ, na mgbe m guzobesịrị ibo n’ọnụ ụzọ ya niile
n’ọnọdụ ha, họpụtakwa ndị ọbụ abụ na ndị nche, na ndị Livayị. 2 Enyefere m
ọrụ ilekọta Jerusalem n’aka nwanne m nwoke bụ Hanani, ya na Hananaya onye bụ
onyeisi ụlọ ukwu ahụ e wusiri ike, n’ihi na ọ bụ nwoke na-ekwu eziokwu, bụrụkwa
onye na-atụ egwu Chineke karịa ọtụtụ ndị ọzọ. 3 Agwara m ha, “Na-emeghenụ ọnụ
ụzọ ama naanị mgbe chi bọziri nke ọma. Kpọchiekwa ha mgbe ndị nche ka nọ na

[*] **6:11** 6:11 Ọ bụ naanị ndị nchụaja ka ọ dịrị ịbanye n’Ebe kachasị Nsọ nke ụlọnsọ ukwu ahụ. Ọnụ 18:22

nche. Họpụtakwanụ ndị bi na Jerusalem ka ha bụrụ ndị nche. Ụfọdụ ga-eche n’ebe
a họpụtara ha, ụfọdụ ga-eche n’akụkụ ụlọ nke aka ha.”

### *Ọnụọgụgụ ndị lọtara*

4 N’oge a obodo ahụ buru ibu dịkwa mbara, ma ndị bi n’ime ya dị ole na ole
n’ọnụọgụgụ, ụlọ ndị dị n’ime ya bụkwa ihe ewugharịbeghị. 5 Ya mere Chineke m
tinyere ya n’obi m ka m chịkọta ndị niile a na-asọpụrụ, ndị ọchịchị, na ndị niile
bi n’obodo, maka idebanye aha n’akwụkwọ ezinaụlọ n’ezinaụlọ. Achọtara m ebe e
depụtara usoro ndị mmadụ niile bụ ụzọ lọta Juda n’oge gara aga. Nke a bụ ihe m
chọpụtara edere n’ime ya:

6 Ndị a bụ ndị obodo niile a na-achị achị, bụ ndị sitere na ndọta n’agha nke
Nebukadneza, eze Babilọn, onye dọtara ha n’agha buru ha laa n’ala ọzọ.
Ha lọghachitere na Jerusalem nakwa Juda, onye ọbụla n’obodo nke aka
ya. 7 Ndịisi ha na Zerubabel soo, bụ Jeshua, Nehemaya, Azaraya, Raamaya,
Nahamani, Mọdekai, Bilshan, Misperet, Bigvai, Nehum na Baana.

Ihe ndepụta ọnụọgụgụ ndị ikom Izrel bụ nke a:
8 Ndị agbụrụ Parosh, puku abụọ, otu narị na iri asaa na abụọ (2,172),
9 nke Shefataya, narị atọ na iri asaa na abụọ (372),
10 nke Ara, narị isii na iri ise na abụọ (652),
11 nke Pahat-Moab site n’ụmụ Jeshua na Joab, puku abụọ, na narị asatọ na iri na asatọ (2,818),
12 nke Elam, otu puku, na narị abụọ na iri ise na anọ (1,254),
13 nke Zatu, narị asatọ na iri anọ na ise (845),
14 nke Zakai, narị asaa na iri isii (760),
15 nke Binui, narị isii na iri anọ na asatọ (648),
16 nke Bebai, narị isii na iri abụọ na asatọ (628),
17 nke Azgad, puku abụọ, na narị atọ na iri abụọ na abụọ (2,322),
18 nke Adonikam, narị isii na iri isii na asaa (667),
19 nke Bigvai, puku abụọ, na iri isii na asaa (2,067),
20 nke Adin, narị isii na iri ise na ise (655),
21 nke Atea (site na Hezekaya), iri itoolu na asatọ (98),
22 nke Hashum, narị atọ na iri atọ na asatọ (328),
23 nke Bezai, narị atọ na iri abụọ na anọ (324),
24 nke Harif, otu narị na iri na abụọ (112),
25 nke Gibiọn, iri itoolu na ise (95).
26 Ndị ikom Betlehem na Netofa, otu narị na iri asatọ na asatọ (188),
27 ndị Anatot, otu narị na iri abụọ na asatọ (128),
28 ndị Bet-Azmavet, iri anọ na abụọ (42),
29 ndị Kiriat Jearim, Kefira na Beerọt, narị asaa na iri anọ na atọ (743),
30 ndị Rema na Geba, narị isii na iri abụọ na otu (621),
31 ndị Mikmash, otu narị na iri abụọ na abụọ (122),
32 ndị Betel na Ai, otu narị na iri abụọ na atọ (123),
33 ndị Nebo nke ọzọ, iri ise na abụọ (52),
34 ndị agbụrụ Elam nke ọzọ, otu puku, narị abụọ na iri ise na anọ (1,254),
35 ndị Harim, narị atọ na iri abụọ (320),
36 ndị Jeriko, narị atọ na iri anọ na ise (345),
37 ndị Lod, Hadid, na Ono, narị asaa na iri abụọ na otu (721),
38 ndị Senaa, puku atọ, na narị itoolu na iri atọ (3,930).

39 Ndị nchụaja:
ndị agbụrụ Jedaya site n’ezinaụlọ Jeshua, narị itoolu na iri asaa na atọ (973),
40 ndị Imea, otu puku, na iri ise na abụọ (1,052),
41 ndị Pashua, otu puku, na narị abụọ na iri anọ na asaa (1,247),
42 ndị Harim, otu puku, na iri na asaa (1,017).

43 Ndị Livayị:
ndị agbụrụ Jeshua site na Kadmiel nke ụmụ Hodavaya, iri asaa na anọ (74).

44 Ndị ọbụ abụ:
ndị agbụrụ Asaf, otu narị, na iri anọ na asatọ (148).

45 Ndị nche ọnụ ụzọ ụlọnsọ ukwu:
ndị agbụrụ Shalum, Atea, Talmon, Akub, Hatita na Shobai otu narị, na iri atọ na asatọ (138).

46 Ndị na-eje ozi n’ụlọnsọ:
ndị agbụrụ Ziha, Hasufa na ndị Tabaot,
47 Keros, Sia, Padon,
48 Lebana, Hagaba, Shalmai,
49 Hanan, Gidel, Gaha,
50 Reaya, Rezin, Nekoda,
51 Gazam, Ụza, Pasea,
52 Besai, Meunim, Nefusim,
53 Bakbuk, Hakufa, Hahua,
54 Bazlut, Mehida, Hasha,
55 Bakos, Sisera, Tema,
56 Nezaya na Hatifa.
57 Agbụrụ ndị na-ejere eze Solomọn ozi,
ya bụ ndị agbụrụ Sotai, Soferat, Perida,
58 Jaala, Dakon, Gidel,
59 Shefataya, Hatil,
Pokeret-Hazebaim na Amọn.
60 Ndị na-eje ozi n’ụlọnsọ na ụmụ ndị na-ejere eze Solomọn ozi, dị narị atọ na iri itoolu na abụọ (392).

61 Ndị a bụ ndị ọzọ sitere n’obodo Tel Mela, Tel Hasha, Kerub, Adọn na Imea, nke dị n’ala Peshịa lọta. Ma ha enweghị ike igosi ezinaụlọ ebe agbụrụ ha si n’Izrel.
62 Ndị agbụrụ:
Delaya, ndị Tobaya na ndị Nekoda, narị isii na iri anọ na abụọ (642).

63 Sitekwa n’etiti ndị nchụaja:
Ndị agbụrụ:
Hobaya, Hakoz na Bazilai (nwoke lụrụ ada Bazilai onye Gilead a kpọọ ya aha n’aha ha).
64 Ndị a chọrọ ebe e depụtara usoro ọmụmụ ha n’akwụkwọ, ma ha achọtaghị
ha n’ihi ya e wepụrụ ha n’ọrụ nchụaja dịka ndị na-adịghị ọcha. 65 N’ihi
nke a, onyeisi ọchịchị nyere iwu ka ha ghara iri ihe aja dịkarịsịrị nsọ, tutu ruo mgbe a ga-enwe onye nchụaja na-eji Urim na Tumim ajụta ase.

66 Nkpọkọta ọnụọgụgụ ndị niile lọtara dị iri puku anọ na abụọ, na narị atọ
na iri isii (42,360), 67 nke a agụnyeghị ndị ohu ndị ikom na ndị inyom dị
puku asaa, na narị atọ na iri atọ na asaa (7,337), ndị ikom na ndị inyom, ndị
ọbụ abụ[*] dị narị abụọ, na iri anọ na ise (245). 68 Ịnyịnya dị narị asaa na iri
atọ na isii (736), ịnyịnya muul narị abụọ na iri anọ na ise (245), 69 ịnyịnya
kamel dị narị anọ na iri atọ na ise (435), ebe ịnyịnya ibu dị puku isii, na
narị asaa na iri abụọ (6,720).

70 Ma ụfọdụ n'ime ndịisi ezinaụlọ nyere onyinye maka ọrụ ahụ. Onyeisi ọchịchị
tinyere n'ụlọakụ otu puku darik ọlaedo (1,000),[†] iri efere ọlaedo ise (50) na uwe ndị
nchụaja narị ise na iri atọ (530). 71 Ụfọdụ ndịisi ezinaụlọ tinyere n'ụlọakụ maka ije
ozi ahụ, darik ọlaedo puku iri abụọ (20,000),[‡] na ọtụtụ minas ọlaọcha puku abụọ
na narị abụọ (2,200).[§] 72 Nkpọkọta ọnụọgụgụ nke ndị mmadụ fọdụrụ nyere bụ,
darik ọlaedo puku iri abụọ (20,000), na minas ọlaọcha puku abụọ (2,000), na uwe
ndị nchụaja iri isii na asaa (67).
73 Ndị nchụaja, na ndị Livayị, na ndị nche ọnụ ụzọ, ndị ọbụ abụ na ndị na-eje ozi
n'ụlọnsọ, tinyere ụfọdụ ndị mmadụ na ndị Izrel niile fọdụrụ, gara birikwa n'obodo
nke ha.

### *Ezra agụọ site n'akwụkwọ iwu*

Mgbe ọnwa asaa ruru, n'oge a ndị Izrel niile e birila n'obodo nke aka ha,

# 8

1 Ndị mmadụ niile zukọrọ dịka otu onye na mbara ala dị n'Ọnụ Ụzọ Ama Mmiri.
Ha gwara Ezra onye nkuzi ka ọ weta akwụkwọ Mosis, nke ONYENWE ANYị nyere ndị
Izrel n'iwu.
2 Ya mere, Ezra, onye nchụaja wepụtara akwụkwọ Iwu ahụ n'ụbọchị mbụ nke
ọnwa asaa n'ihu mkpọkọta ahụ bụ nke ndị ikom na ndị inyom na onye ọbụla ga-
aghọta ihe mejupụtara. 3 O chere ihu n'Ọnụ Ụzọ Ama Mmiri were oke olu gụọ ya
site n'ụtụtụ ruokwa ehihie n'ihu ndị nwoke, ndị nwanyị na ndị ọzọ nwere ike ịghọta
ihe o na-agụ. Mmadụ niile gekwara ntị na ngụpụta nke akwụkwọ iwu ahụ.
4 Ezra onye ode akwụkwọ, rigoro n'elu ihe mgbakwasị ụkwụ ha mere maka nke a.
Ndị guzo n'aka nri ya bụ, Matitaia, Shema, Anaia, Ụraya, Hilkaya na Maaseia. Ndị
guzo n'aka ekpe ya bụkwa ndị a: Pedaia, Mishael, Malkija, Hashum, Hashbadana,
Zekaraya na Meshulam.
5 Ezra meghere akwụkwọ ahụ mgbe mmadụ niile na-ahụzu ya n'ihi na o guzoro
n'ebe dị elu mgbe ọ na-agụ ya. Mmadụ niile guzoro ọtọ mgbe ọ na-agụ ya. 6 Mgbe
ahụ, Ezra gọziri ONYENWE ANYị Chineke ukwu ahụ, mmadụ niile zakwara sị; "Amen!
Amen!" Ha chịlịri aka ha abụọ elu, kpọọ isiala nye ONYENWE ANYị.
7 Ndị Livayị aha ha bụ Jeshua, Bani, Sherebaya, Jamin, Akub, Shabetai, Hodia,
Maaseia, Kelita, Azaraya, Jozabad, Hanan na Pelia, kuziri ndị mmadụ ihe dị n'Iwu
mee ka ha ghọta ya dịka ha guzo n'ebe ahụ. 8 Ha gụpụtara site n'akwụkwọ iwu
Chineke ahụ, sụgharịa ya, kọwazie ọkpụrụkpụ okwu niile dị n'ihe a gụpụtara, mee
ka ndị mmadụ ghọta ihe a na-agụpụta nke ọma.
9 Mgbe ahụ, Nehemaya, onyeisi ọchịchị, na Ezra, ode akwụkwọ na onye nchụaja,
na ndị Livayị ahụ na-atụziri ndị mmadụ ihe, gwara ndị ahụ niile sị: "Taa bụ ụbọchị

* **7:67** 7:67 Tinyere ndị Livayị na-abụ abụ, e nwere ọtụtụ ndị ọzọ na-abụ abụ n'oge mmemme dị iche iche, dịka n'oge ọlụlụ nwanyị, na n'oge olili na ọnwụ Ezr 2:65 † **7:70** 7:70 Ya bụ kilogram asatọ na ụma anọ ‡ **7:71** 7:71 Darik ịdị arọ ya ruru narị kilogram na iri kilogram asaa § **7:71** 7:71 Ịdị arọ ya ruru otu tọọnu na ụma abụọ

dị nsọ nye ONYENWE ANYỊ, Chineke unu. Unu erula ụjụ maọbụ bee akwa." N'ihi na
ha niile na-akwa akwa mgbe ha na-ege ntị n'okwu niile nke iwu ahụ.
10 Nehemaya gwakwara ha sị; "Laanụ n'ụlọ unu gaa mee mmemme oriri na ọṅụṅụ
nyekwanụ ndị na-enweghị nke ha ga-eri. Ụbọchị taa dị nsọ nye Chineke anyị. Unu
erukwala ụjụ, n'ihi na ọṅụ ONYENWE ANYỊ bụ ike unu."
11 Ndị Livayị mere ka ndị mmadụ ahụ nọrọ nwayọọ, na-asị, "Nọrọnụ nwayọọ, n'ihi
na taa bụ ụbọchị dị nsọ, ọ bụghị ụbọchị iru ụjụ na anya mmiri."
12 Ya mere, ha niile lawara ị ga rie ma ṅụọ, na ikenye ndị ọzọ site n'ihe ha nwere.
Ha gakwara ime mmemme nke oke ọṅụ, n'ihi na ha ghọtara okwu agwara ha.
13 N'ụbọchị nke abụọ nke ọnwa ahụ, ndịisi ezinaụlọ niile na ndị nchụaja, na ndị
Livayị, zukọrọ n'ebe Ezra, bụ onye nkuzi nọ, maka itinye uche n'akwụkwọ iwu ahụ.
14 Mgbe ha na-agụ ya, ha chọpụtara ebe ONYENWE ANYỊ gwara Mosis sị ya na ụmụ Izrel
kwesiri ibi n'ụlọ ikwu mgbe ọbụla a na-eme mmemme ụlọ ikwu nke a ga-eme n'ọnwa
ahụ. 15 O kwukwara na ha ga-ekwusa okwu a n'obodo niile nke Juda na Jerusalem
sị; "Gaanụ n'ala ugwu ugwu gbute alaka osisi oliv ụlọ, na alaka oliv ọhịa, na alaka
osisi mietul,* na alaka nkwụ, na alaka osisi ndị ọzọ na-enye ndo nke a ga-eji wuo ebe
unu ga-ebi tutu ruo mgbe mmemme ahụ ga-agwụsị, dịka e dere ya n'akwụkwọ iwu."
16 Ya mere, ndị ahụ pụrụ gaa weta alaka osisi, jiri ha wuore onwe ha ụlọ ahịhịa
ha ga-ebi nwa mgbe nta n'elu ụlọ ha, na n'ogige ụlọ nke aka ha, nakwa n'ogige ụlọ
Chineke, na mbara ala Ọnụ Ụzọ Ama Mmiri, na n'akụkụ Ọnụ Ụzọ Ama Ifrem. 17 Ndị
ahụ niile si na ndọta n'agha lọta wuuru onwe ha ụlọ ikwu biri n'ime ya ụbọchị asaa
ahụ niile e mere mmemme ahụ. Oke ọṅụ jupụtara obi mmadụ niile, n'ihi na site
n'oge Joshua nwa Nun ruo n'oge a, o nwebeghị mgbe ụmụ Izrel mere mmemme a
n'ụzọ dị otu a.
18 Ezra na-agụpụta site n'akwụkwọ iwu Chineke kwa ụbọchị, site n'ụbọchị mbụ
ruo n'ụbọchị ikpeazụ. Ha mere mmemme ahụ ụbọchị asaa ma n'ụbọchị nke asatọ
ha nwere ọgbakọ ofufe mmechi dịka e dere ya n'iwu.

# 9

*Nkwupụta mmehie*

1 N'ụbọchị nke iri abụọ na anọ nke otu ọnwa ahụ, ndị Izrel niile zukọkwara na
obubu ọnụ, yiri uwe iru ụjụ, kpokwasịkwa onwe ha ntụ n'isi. 2 Ndị si n'agbụrụ
Izrel wezugakwara onwe ha site n'ebe ndị mba ọzọ niile nọ. Ha guzoro n'ọnọdụ ha
kwupụta mmehie ha na ajọ omume nke nna nna ha. 3 Ha guzokwara n'ebe ahụ ha
nọ gụọ site n'akwụkwọ iwu nke ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke ha ruo awa atọ. Ha jikwa
awa atọ nke ọzọ kwupụta mmehie ha, na ife ONYENWE ANYỊ Chineke ha ofufe. 4 Mgbe
ahụ Jeshua, Bani, Kadmiel, Shebanaya, Buni, Sherebaya, Bani na Kenani rigoro guzo
n'elu ihe nguzo ndị Livayị. Ha jiri oke olu kpọkuo ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ha. 5 Ndị
Livayị ndị a, Jeshua, Kadmiel, Bani, Hashabneia, Sherebaya, Hodia, Shebanaya na
Petahaya sịrị, "Bilienụ ọtọ, too ONYENWE ANYỊ Chineke unu, onye na-adị site n'ebighị
ebi ruo ebighị ebi."

"Ka aha gị dị ebube bụrụ ihe a gọziri agọzi, ka ọ bụrụ ihe e buliri elu karịa ngọzị
niile na otuto niile. 6 Gị onwe gị, naanị gị bụ ONYENWE ANYỊ. Gị kere eluigwe, ọ
bụladị eluigwe kachasị elu, na kpakpando niile nke mbara eluigwe, ụwa na ihe
niile dị n'ime ya, oke osimiri niile na ihe niile dị n'ime ha. Ọ bụ gị na-enye ihe niile
ndụ, usuu niile nke eluigwe na-akpọkwa isiala nye gị.
7 "Gị, onwe gị bụ ONYENWE ANYỊ Chineke ahụ, onye họpụtara Ebram site n'obodo
Ụọ nke ndị Kaldịa, kpọpụta ya, gụgharịa aha ya ka ọ bụrụ Ebraham. 8 Ị hụkwara

* **8:15** 8:15 Mietul bụ ahịhịa na-esi isi ụtọ. Aịz 41:19; 55:13

n’obi ya kwesiri ntụkwasị obi nye gị, gị na ya gbakwara ndụ na ị ga-enye ụmụ ya
ala ndị Kenan, nke ndị Het, nke ndị Amọrait, nke ndị Periz, nke ndị Jebus na nke
ndị Gigash. I mezuola nkwa gị n’ihi na ị bụ onye ezi omume.

9 “Ị hụrụ nsogbu na iru ụjụ niile nke nna nna anyị ha n’ala Ijipt; ị nụkwara akwa
ha n’akụkụ Osimiri Uhie. 10 I gosiri Fero na ndịisi ọchịchị ya na ndị ya niile ọtụtụ
ihe ịrịbama na ọrụ ebube n’ihi na ị hụrụ otu ha siri site na nganga juru ha obi
mesoo ndị gị mmeso ọjọọ. Ụwa niile maara aha gị taa n’ihi ọrụ ebube ndị a niile
ị rụrụ. 11 I kewara Osimiri Uhie abụọ mee ka ndị gị site n’ala akọrọ gafee. Ma i
mere ka ndị iro ha na-achụ ha ọsọ nwụọ n’ime oke osimiri ahụ. Ha mikpuru dịka
nkume danyere n’ime mmiri, nke oke osimiri. 12 I ji ogidi igwe ojii duo nna nna
anyị ha n’ehihie, ma were ogidi ọkụ duo ha n’abalị, inye ha ìhè ka ha ghara ijehie
ụzọ.

13 “I sitere n’eluigwe gwa ha okwu, ị rịdatara n’ugwu Saịnaị, ị nyere ha iwu na
ntụziaka niile ziri ezi, nyekwa ha ụkpụrụ na ihe niile dị mma nke enyere n’iwu.
14 I mere ka ha mata ụbọchị izuike gị dị nsọ, nyekwa ha iwu site n’ọnụ ohu gị
Mosis, ka ha debe iwu gị na ụkpụrụ gị niile. 15 I sitere n’eluigwe nye ha achịcha
mgbe agụụ gụrụ ha, sitekwa na nkume nye ha mmiri mgbe akpịrị kpọrọ ha nkụ.
I sịkwara ha baa n’ime ala ahụ inweta ala ahụ bụ nke i weliri aka gị ṅụọ iyi inye
ha.

16 “Ma nna nna anyị ha erubeghị isi n’okwu gị, n’ihi isiike ha na nganga ha. 17 Ha
egeghị ntị ọbụla, ha echetakwaghị ihe ịrịbama niile i meere ha. Kama ha nupuru
isi họpụtara onwe ha onyeisi ga-eduru ha ịlaghachi Ijipt. Ma ị bụ Chineke onye
na-eme ebere, onye na-agbaghara mmehie ndị gị mgbe ọbụla. Ị bụ onye obiọma,
onye iwe na-adịghị ewe ọsịịsọ. I jupụtara n’ịhụnanya na amara mgbe niile. N’ihi
ya, ị gbakụtaghị ha azụ, 18 ọ bụladị mgbe ha meere onwe ha nwa ehi ha kpụrụ
akpụ kwuo sị, ‘Nke a bụ chi unu. Ọ bụ ya si n’ala Ijipt dupụta anyị,’ maọbụ mgbe
ha mehiere megide gị n’ụzọ niile.

19 “Ma n’ihi obi ebere gị nke dị ukwuu, ị hapụghị ha ka ha nwụọ n’ọzara. Ogidi
igwe ojii ahụ duuru ha ụbọchị niile, ma ogidi ọkụ ahụ dukwara ha abalị niile. 20 I
zitere ezi Mmụọ nke gị ime ka ha nwee uche. Ị gbochikwaghị mánà gị iru ha ọnụ,
ị nyekwara ha mmiri n’ihi akpịrị ịkpọ nkụ ha. 21 Iri afọ anọ ka i debere ha ndụ
n’ọzara. Ọ dịghị ihe kọrọ ha n’oge ahụ. Uwe ha akaghị nka, ukwu ha azaghị.

22 “I nyere ha alaeze na mba dị iche iche, kenye ha ọbụladị ebe ndị dịkarịsịrị
anya. Ha nwetara ala Saịhọn bụ eze Heshbọn, na ala Ọg bụ eze Bashan. 23 I mere
ka ụmụ Izrel mụbaa dịka kpakpando nke eluigwe, ị kpọbatara ha n’ala ahụ i gwara
ndị bụ nna ha ka ha baa nweta. 24 Ụmụ ha banyere nweta ala ahụ. I meriri ndị
Kenan n’ihu ha, bụ ndị bi n’ala ahụ. I weere ndị Kenan ahụ nyefee n’aka ha, ha na
ndị eze ha, na ndị niile bi n’ala ahụ ka ndị gị jiri ha mee ihe ọbụla ha kpebiri n’obi
ha. 25 Ndị gị nwetara ala mara mma, na ọtụtụ obodo e wusiri ike; ha nwetakwara
ọtụtụ ụlọ nke ihe ọma juru n’ime ha, na olulu mmiri e gwuru nke ọma, na ubi
vaịnị mkpụrụ dị, na ubi oliv, na ọtụtụ osisi ọma ndị ọzọ na-amị mkpụrụ. Ha rijuru
afọ, ahụ ha mara mma ile anya, ha ṅụrikwara ọṅụ n’ihi ngọzị ị gọziri ha.

26 “Ma ha nupuru isi n’okwu gị, jụ iwu gị, gbuo ndị amụma tụrụ ha mmehie
ha n’ihu, meekwa ọtụtụ ihe ọjọọ ndị ọzọ dị iche iche. 27 N’ihi nke a, i nyefere ha
n’aka ndị iro ha, ndị kpagburu ha. Ma n’ime mkpagbu ha, ha kpọkuru gị, ị nọkwa
n’eluigwe nụ ekpere ha, sitekwa n’obi ebere gị zigara ha ndị bịara zọpụta ha, na
ndị napụtara ha site n’aka ndị iro ha.

28 “Ma mgbe ihe bidoro ịgara ha nke ọma, ha mekwara ihe jọrọ njọ n’ihu gị.
Ọzọkwa, i nyefere ha n’aka ndị iro ha ka ndị iro ha merie ha. Ma mgbe ọbụla ndị
gị chegharịkwutere gị, kpọkuo gị ka i nyere ha aka, ị na-anụ arịrịọ ha, sitekwa

n’obi ebere gị gbapụta ha.
29 “Ị dọrọ ha aka na ntị sị ha lọghachi debe ihe i nyere n’iwu. Ma ha sitere na
nganga juru ha obi jụ idebe iwu gị. Ha mehiere megide ihe niile i nyere n’iwu, ọ bụ
ezie na ha maara na idebe ya ga-ewetara ha ndụ. Ma site n’isiike ha, ha gbakụtara
gị azụ, bụrụ ndị isiike na ndị jụrụ ige ntị. 30 Ma i sitere na ntachiobi gị nye ha
ogologo oge icheghari̇; ị dọrọ ha aka na ntị site n’ọnụ ndị amụma gị, ma ha egeghị
ntị. Ya mere, i kwenyekwara ka ndị iro ha merie ha ọzọ. 31 Ma n’ihi obi ebere gị i
bibighị ha kpamkpam; ị gbakụtakwaghị ha azụ n’ihi na ị bụ Chineke onye dị ebere
na onye amara.
32 “Ugbu a, Chineke anyị, Chineke dị ukwuu, onye dị ike dịkwa ebube, onye na-
edebe ọgbụgba ndụ ịhụnanya ya, ka ọnọdụ ihe isi ike a ghara ịbụ ihe nta n’anya gị.
Ntaramahụhụ nke dakwasịrị anyị, ndị eze anyị na ndị ndu anyị, ndị nchụaja anyị,
ndị amụma anyị, nna nna anyị ha na ndị gị niile, site n’oge ndị eze Asịrịa buru
ụzọ lụgbuo anyị n’agha tutu ruo taa. 33 Ma gị onwe gị bụ onye ezi omume, n’ihe
niile bịakwasịrị anyị; Ị mere ihe kwesiri, ebe anyị onwe anyị mere ajọ omume.
34 Ndị eze anyị, ndị ndụ anyị na ndị nchụaja na nna nna anyị edebeghị iwu gị; ha
aṅaghịkwa ntị n’ihe niile i nyere n’iwu maọbụ ihe ama gị nke ị dọrọ ha aka na ntị
idebe. 35 Ọ bụladị mgbe ha nọ n’alaeze nke aka ha na-ekpori ndụ, nke oke ịdị mma
gị nke ị mere ka o rute ha aka, n’ala ọma ahụ sara mbara nwere ume i nyere ha,
ha efeghị gị ofufe, ha esitekwaghị n’ụzọ ọjọọ ha chigharịa.
36 “Ma lee, anyị bụ ndị ohu taa, e, anyị bụ ndị ohu n’ala ahụ i nyere nna nna
anyị ha, ka ọ bụrụ ebe ha ga-esi rie mkpụrụ ọ mịpụtara na ihe ọma ọ na-amịpụta.
37 N’ihi mmehie anyị, mkpụrụ ọma niile a na-esi na ya wepụta ka ndị eze ahụ niile
i mere ka ha na-achị anyị na-ewere. Ha nwere ike n’ahụ anyị, na n’ebe anụ ụlọ
anyị dị ka o si dị ha mma. Anyị na-ahụjukwa anya.

### *Nkwekọrịta nke mmadụ niile*

38 “N’ihi ihe ndị a niile, anyị na-ekwe gị nkwa ugbu a na anyị ga-efe gị. Anyị, ndịisi
anyị, ndị Livayị na ndị nchụaja, na-etinye aha anyị n’ọgbụgba ndụ a.”

## 10

1 Ndị tinyere aka, n’akwụkwọ ahụ bụ:

Onyeisi ọchịchị:
Nehemaya nwa Hakalaya.

Zedekaya, 2 Ndị ọzọ bụ Seraya, Azaraya, Jeremaya,
3 Pashua, Amaraya, Malkija,
4 Hatush, Shebanaya, Maluk,
5 Harim, Meremot, Ọbadaya,
6 Daniel, Gineton, Baruk,
7 Meshulam, Abija, Mijamin,
8 Maazaya, Bilgai na Shemaya.
Ndị a bụ ndị nchụaja.

9 Ndị Livayị so tinye aka ha n’akwụkwọ bụ,
Jeshua nwa Azanaya, Binui otu n’ime ụmụ Henadad, Kadmiel,
10 ndị so ha na-arụ ọrụ: Shebanaya,
Hodia, Kelita, Pelaia, Hanan,
11 Mika, Rehob, Hashabaya

12 Zakua, Sherebaya, Shebanaya,
13 Hodia, Bani na Beninu.

14 Ndịisi ọchịchị tinyere aka ha bụ,
Parosh, Pahat-Moab, Elam, Zatu, Bani,
15 Buni, Azgad, Bebai,
16 Adonaija, Bigvai, Adin,
17 Atea, Hezekaya, Azoa,
18 Hodia, Hashum, Bezai,
19 Harif, Anatot, Nebai,
20 Magpịash, Meshulam, Hezia,
21 Meshezabel, Zadọk, Jadua,
22 Pelataya, Hanan, Anaia,
23 Hoshea, Hananaya, Hashub,
24 Halohesh, Pilha, Shobek,
25 Rehum, Hashabna, Maaseia,
26 Ahaya, Hanan, Anan,
27 Maluk, Harim na Baana.

28 "Ndị ọzọ fọdụrụ bụ ndị nchụaja, ndị Livayị, ndị nche, ndị ọbụ abụ, ndị na-eje
ozi n'ụlọnsọ na ndị ahụ niile sitere n'irube isi n'iwu Chineke wezuga onwe ha site
n'ebe ndị mba ọzọ ahụ bi ha gburugburu nọ, ha na ndị nwunye ha na ụmụ ha ndị
ikom na ndị inyom, bụ ndị niile tozuru ịghọta ihe. 29 Ndị a niile sooro ụmụnne
ha ndị Izrel a na-asọpụrụ, jikọtaa onwe ha n'ọbụbụ ọnụ na ịṅụ iyi ịgbaso iwu
Chineke, nke o nyere site n'aka Mosis, bụ ohu Chineke; na ilezi anya rube isi n'ihe
niile enyere n'iwu, ntụziaka niile na ụkpụrụ niile nke ONYENWE ANYỊ bụ Onyenwe
anyị.
30 "Anyị kpebikwara na ụmụ anyị ndị ikom na ndị inyom agaghị alụ di maọbụ
nwunye site na mba ọzọ.
31 "Anyị kpebikwara na ọ bụrụ na ndị mba ọzọ eburu ngwa ahịa ha maọbụ
mkpụrụ ubi ha bịa ire ya n'ụbọchị izuike, maọbụ n'ụbọchị ọzọ dị nsọ, anyị agaghị
azụ ihe ọbụla. Anyị na-ekpebikwa na anyị agaghị arụ ọrụ ọbụla n'afọ nke asaa
niile, kwekọọkwa na anyị ga-agbaghara ụmụnna anyị niile ji anyị ụgwọ n'afọ ahụ.
32 "Anyị kwekọrịtakwara na anyị ga-atụ ụtụ otu ụzọ n'ime ụzọ atọ nke otu shekel
afọ niile maka iji kwadoo ọrụ ụlọnsọ ukwu Chineke, 33 maka ime ka ihe ndị a dịrị
n'ụlọnsọ ukwu ahụ: achịcha nsọ, onyinye ọka nke ụbọchị niile, aja nsure ọkụ na
onyinye nke ụbọchị izuike, mmemme ọnwa ọhụrụ niile, ha na mmemme ndị ọzọ
niile a kara aka, maka aja dị nsọ niile na aja ikpuchi mmehie ndị Izrel, maka ozi
niile a na-aga n'ụlọnsọ Chineke anyị.
34 "Anyị bụ ndị nchụaja, ndị Livayị na ndị ọzọ, ejirila ife nza chọpụta mgbe
ezinaụlọ ọbụla n'etiti anyị ga-eji bubata nku n'ụlọ Chineke anyị n'oge ya kwa afọ,
maka ebe ịchụ aja nke ONYENWE ANYỊ Chineke anyị dịka e dere ya n'iwu.
35 "Anyị kpebikwara na mmadụ niile n'otu n'otu ga na-ewebata mkpụrụ mbụ
nke ihe ubi ya n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, na mkpụrụ osisi ọbụla, maọbụ ihe ubi ndị
ọzọ.
36 "Dịka e dere ya n'Iwu, anyị ga-ewebata ụmụ ndị ikom mbụ anyị, na nwa mbụ
nke igwe ehi, na igwe ewu na atụrụ anyị niile, n'ụlọ Chineke anyị. A ga-enye ha
ndị nchụaja na-eje ozi n'ebe ahụ.
37 "Karịsịa, anyị ga-ewebata n'ụlọ ịchịkọba ihe nke ụlọnsọ Chineke anyị, nyekwa
ha ndị nchụaja, ụtụ ọka mbụ anyị kwọrọ, ya na onyinye ndị ọzọ nke mkpụrụ ubi
mbụ anyị, dịka mmanya vaịnị mbụ, mmanụ oliv mbụ na mkpụrụ osisi ndị ọzọ.

Anyị kpebikwara inye ndị Livayị otu ụzọ n'ime ụzọ iri nke ihe niile anyị nwetara
n'ubi anyị, n'ihi na ọ bụ ọrụ ndị Livayị ịnakọta otu ụzọ n'ụzọ iri site n'obodo niile
ebe anyị na-arụ ọrụ. 38 Ndị nchụaja bụ ụmụ ụmụ Erọn ga-eso ndị Livayị mgbe
ha na-anakọta onyinye otu ụzọ n'ime ụzọ iri ndị a. Ha ga-ewekọta ihe ndị a niile
webaa ha n'ụlọ Chineke anyị, ruo n'ime ọnụụlọ ịchịkọba ihe,* nke ụlọakụ. 39 Ndị
Izrel na ndị Livayị, kwesiri iweta onyinye ọka ha, na mmanya vaịnị ọhụrụ, na
mmanụ oliv n'ime ụlọ ịchịkọba ihe, n'ebe a na-edebe ngwongwo niile e ji eje ozi
n'ụlọ ukwu ahụ, nke ndị nchụaja na-eje ozi, ndị nche na nke ndị ọbụ abụ.

"Anyị agaghị agbakụtakwa ụlọ Chineke anyị azụ."

# 11

*Ndị ọhụrụ ga-ebi na Jerusalem*

1 Ugbu a, ndịisi Izrel bi n'obodo nsọ Jerusalem n'oge a, ma e sitere n'ife nza họpụta
otu ụzọ n'ime ụzọ iri nke ndị bi n'obodo ndị ọzọ niile ka ha bịa biri na Jerusalem, bụ
obodo nsọ ahụ, ebe ụzọ itoolu fọdụrụ bikwa n'obodo nke aka ha. 2 Ndị mmadụ toro
ndị niile jiri afọ ofufu họrọ ịbịa soro biri na Jerusalem.

> 3 Ndị a bụ ndịisi ala ahụ a na-achị achị ndị bịara biri na Jerusalem (ma ọtụtụ ndị Izrel, ndị nchụaja, ndị Livayị, ndị na-eje ozi n'ụlọnsọ na ụmụ ndị na-ejere Solomọn ozi biiri n'obodo Juda, onye ọbụla n'ihe onwunwe ya n'obodo ha dị iche iche. 4 Ebe ndị ọzọkwa bụ ndị sitere na Juda na Benjamin, biiri na Jerusalem).

Ndị sitere n'agbụrụ Juda bụ ndị a:

Ataia nwa Uzaya, nwa Zekaraya, nwa Amaraya, nwa Shefataya, nwa Mahalalel, nwa Perez;

5 na Maaseia nwa Baruk, nwa Kol-Hoze, nwa Hazaia, nwa Adaya, nwa Joiarib, nwa Zekaraya, nwa onye Shilo.*

6 Ọnụọgụgụ ụmụ Perez niile bi na Jerusalem dị narị anọ, na iri isii na asatọ (468). Ha bụ ndị ikom gbara dimkpa.

7 Ndị sitere n'agbụrụ Benjamin bụ,

Salu nwa Meshulam, nwa Joed, nwa Pedaia, nwa Kolaya, nwa Maaseia, nwa Itiel,
nwa Jeshaya, 8 ya na ndị na-eso ya bụ ụmụ Gabai na Salai. Ọnụọgụgụ ha dị
narị itoolu na iri abụọ na asatọ (928).

9 Juel nwa Zikri bụ onyeisi ha. Juda nwa Hasenua bụ onye na-eso ya, na onye na-achị akụkụ ọhụrụ nke obodo ahụ.

10 Ndị sitere n'etiti ndị nchụaja bụ,

Jedaya nwa Joiarib, na Jakin,

11 na Seraya nwa Hilkaya, nwa Meshulam, nwa Zadọk, nwa Meraiot, nwa Ahitub
onye na-elekọta ụlọ ukwuu Chineke. 12 Ọnụọgụgụ ndị ikom ha na ha na-arụkọ
ọrụ n'ụlọ ukwu ahụ bụ narị asatọ na iri abụọ na abụọ (822).

Adaya, nwa Jeroham, nwa Pelalaya, nwa Amzi, nwa Zekaraya, nwa Pashua nwa
Malkija, 13 na ndị ikom bụ ndịisi ezinaụlọ ndị so ya rụọ ọrụ dị narị abụọ na iri
anọ na abụọ (242) n'ọnụọgụgụ,

Amashaị nwa Azarel, nwa Ahazai, nwa Meshilemot, nwa Imea, 14 na ndị otu ya
n'ọrụ ndị bụkwa dimkpa, dị otu narị na iri abụọ na asatọ (128) n'ọnụọgụgụ.

Onyeisi ha bụ Zabdiel nwa Hagedolin.

* **10:38** 10:38 Ọtụtụ ọnụụlọ nchịkọba ihe dị n'ogige ụlọnsọ ukwu ahụ. Ọ bụ n'ebe a ka a na-edebe ngwongwo niile dị nsọ. Gụọ ebe ndị a; 1Ih 9:26; 2Ih 31:11; Neh 13:7; Mal 3:10. * **11:5** 11:5 Maọbụ, Shela

15 Site na ndị Livayị:
Shemaya nwa Hashub, nwa Azrikam, nwa Hashabaya, nwa Buni,
16 na Shabetai, na Jozabad, mmadụ abụọ na ndị ndu ndị Livayị, ndị ọ bụ ha na-arụ ọrụ dị n'ezi nke ụlọ Chineke;
17 Matanaya nwa Mika, nwa Zabdi, nwa Asaf, bụ onyendu nke duru n'ekpere na ofufe ekele.
Bakbukaya onye nke abụọ n'etiti ndị otu ya,
na Abda nwa Shamua, nwa Galal, nwa Jedutun, bụ ndị na-enyere ya aka.
18 Ọnụọgụgụ ndị Livayị niile nọ na obodo nsọ ahụ dị narị abụọ na iri asatọ na anọ (284).
19 Ndị nche ọnụ ụzọ ama,
Akub, Talmon na ndị otu ha dị otu narị na iri asaa na abụọ (172) n'ọnụọgụgụ, ha bụ ndị na-eche nche n'ọnụ ụzọ ama niile.

20 Ndị fọdụrụ n'Izrel, ha na ndị nchụaja, na ndị Livayị, nọ n'obodo Juda niile, onye ọbụla n'ihe nketa ya.
21 Ndị ahụ niile na-eje ozi n'ụlọnsọ bi n'ugwu Ofel. Ndịisi ha bụ Ziha na Gishpa.
22 Onye na-elekọta ndị Livayị bi na Jerusalem bụ Uzi, nwa Bani, nwa Hashabaya,
nwa Matanaya, nwa Matanaia, nwa Mika. Uzi bụ otu onye si n'ikwu Asaf, ndị ọbụ
abụ maka ije ozi nke ụlọ Chineke. 23 Eze họpụtara ndị ọbụ abụ nyekwa ha ọrụ ha
kwesiri ịrụ ụbọchị niile.
24 Petahaya nwa Meshezabel, onye bụ otu n'agbụrụ Zera, nwa Juda, bụ onyeozi eze banyere ihe niile gbasara ndị mmadụ ahụ.
25 Obodo ụfọdụ ebe ndị Juda bi bụ ndị a: Kiriat Aba, Dibọn, Jekabzeel na obodo nta
ndị dị ha gburugburu, 26 Jeshua, Molada, Bet-Pelet, 27 Haza Shual, Bịasheba na obodo
ya niile, 28 Ziklag, Mekona na obodo ya niile, 29 En-Rimọn, Zora, Jamut, 30 Zanoa,
Adulam na obodo nta dị ha gburugburu, Lakish, ala dị ya gburugburu, Azeka na obodo ya niile. Nke a pụtara na ndị mmadụ bi site na Bịasheba ruo na Ndagwurugwu Hinom.
31 Ndị agbụrụ Benjamin biri na Geba, Mikmash, Aija, Betel na obodo dị ya
gburugburu, 32 Anatot, Nob, Ananaya, 33 Hazọ, Rema, Gitaim, 34 Hadid, Zeboim,
Nebalat, 35 Lod, Ono na Ge Harashim.[†]
36 Ụfọdụ n'otu ndị Livayị, ndị ebe obibi ha dị na Juda ka e zigara isoro biri n'ebo Benjamin.

# 12

*Ndị nchụaja na ndị Livayị*

1 Ndị a bụ ndị nchụaja na ndị Livayị ndị so Zerubabel nwa Shealtiel na Jeshua lọta.

Seraya, Jeremaya, Ezra,[*]
2 Amaraya, Maluk, Hatush,
3 Shekanaya, Rehum, Meremot,
4 Ido, Gineton, Abija
5 Mijamin, Maadaya, Bilga,
6 Shemaya, Joiarib, Jedaya,
7 Salu, Amok, Hilkaya na Jedaya.

---

† **11:35** 11:35 Maọbụ, Ndagwurugwu ndị na-akwa ǹka

* **12:1** 12:1 Ezra nke a, abụghị Ezra onye nchụaja. Onye bụ ọka n'ihe gbasara iwu Onyenwe anyị, nke si n'ezinaụlọ Seraya. Gụọ akwụkwọ Ezr 7:1-5

Ndị a niile bụ ndị ndu ndị nchụaja na ndị na-enyere ndị ndụ aka n'ụbọchị Jeshua.

8 Ndị Livayị so ha bụ ndị a: Jeshua, Binui, Kadmiel, Sherebaya, Juda nakwa
Matanaya, onye ya na ndị otu ya na-elekọta ofufe ekele. 9 Bakbukaya, na Unni, ndị
otu ha nọ na ncherita ihu n'ofufe ahụ.

10 Jeshua mụrụ Joiakim,
Joiakim mụrụ Eliashib,
Eliashib mụrụ Joiada,
11 Joiada mụrụ Jonatan,
ebe Jonatan mụrụ Jadua.

12 Ndị a bụ ndịisi ikwu ndị nchụaja n'oge ndụ Joiakim.

Meraia bụ onyeisi ụmụ Seraya,
Hananaya bụ onyeisi ụmụ Jeremaya,
13 Meshulam bụ onyeisi ụmụ Ezra,
Jehohanan, onyeisi ụmụ Amaraya;
14 Jonatan, onyeisi ụmụ Maluk;
Josef bụ onyeisi ụmụ Shekanaya†;
15 nke Harim, Adna,
nke Meremot, Helkai;
16 Zekaraya, onyeisi ụmụ Ido;
Meshulam, onyeisi ụmụ Gineton
17 Zikri, onyeisi ụmụ Abija;
Piltai, onyeisi ụmụ Modaya na Miniamin
18 Shamua, onyeisi ụmụ Bilga,
Jehonatan, onyeisi ụmụ Shemaya;
19 Matenai, onyeisi ụmụ Joiarib;
Uzi, onyeisi ụmụ Jedaya;
20 Kalai, onyeisi ụmụ Salu;
Eba, onyeisi ụmụ Amok,
21 Hashabaya, onyeisi ụmụ Hilkaya;
Netanel, onyeisi ndị Jedaya.

22 E dekọtara aha ndịisi ezinaụlọ ndị Livayị niile n'ụbọchị Eliashib, Joiada, Johanan
na Jadua, nakwa nke ndị nchụaja n'akwụkwọ n'oge ọchịchị Daraiọs bụ eze Peshịa.
23 E dekwara aha ndịisi ndị Livayị niile n'akwụkwọ tutu ruo n'oge Johanan nwa
Eliashib dị ndụ. 24 Ndị a bụ ndịisi ndị Livayị n'oge ahụ: Hashabaya, Sherebaya,
Jeshua, nwa Kadmiel na ndị otu ha. Ha kere onwe ha ụzọ abụọ. Ụzọ abụọ ndị a na-eguzokwa na-eche ibe ha ihu mgbe ọbụla ha na-abụku Chineke abụ otuto na ekele.
Otu ụzọ na-amalite nke ọzọ azaghachi, dịka Devid onye nke Chineke si nye ya n'iwu.
25 Ndị nche na-eche ọnụ ụzọ ụlọ ịchịkọba ihe nke ụlọnsọ bụ ndị a: Matanaya,
Bakbukaya, Ọbadaya, Meshulam, Talmon na Akub. 26 Ha jere ozi ha n'oge Joiakim
nwa Jeshua, nwa Jozadak, dị ndụ, na n'oge Nehemaya bụ onyeisi ọchịchị, na n'oge
Ezra bụkwa onye nchụaja, na onye nkuzi okwu Chineke.

### *Ido mgbidi Jerusalem nsọ*

† **12:14** 12:14 Shekanaya ọtụtụ akwụkwọ ndị Hibru na-ede Shebayana

27 Mgbe a na-edo mgbidi Jerusalem ọhụrụ ahụ nsọ, e sitere n’obodo niile ndị Livayị
bi kpọọ ha ka ha bịa nye aka iji ọṅụ mee mmemme ido nsọ ahụ. Ha bịakwara jiri abụ
ekele na ihe egwu dị iche iche dịka ụbọ akwara, ịgba na une kelee Chineke. 28 Ndị
ọbụ abụ sitekwara n’obodo niile dị gburugburu Jerusalem bịa, ọ bụladị site n’obodo
niile ndị Netofa, 29 na Bet-Gilgal, na akụkụ Geba na Azmavet, n’ihi na ha ewuorola
onwe ha obodo nta dị iche iche gburugburu Jerusalem. 30 Mgbe ndị nchụaja na ndị
Livayị dochara onwe ha ọcha, ha dokwara ndị Izrel niile, na ọnụ ụzọ ama niile, na
mgbidi ahụ ọcha.
31 E mere m ka ndị ndu Juda niile rigoro n’elu mgbidi ahụ. N’ebe ahụ ka m kenyere
otu ndị ọbụ abụ abụọ inye ekele. Otu ụzọ gara akụkụ aka nri nke elu mgbidi ahụ ruo
n’Ọnụ Ụzọ Ama Ikpofu Ahịhịa. 32 Hoshaya na ọkara ndị ndu Juda na-eso ha n’azụ,
33 ha na Azaraya, Ezra, Meshulam, 34 Juda, Benjamin, Shemaya, Jeremaya 35 na ndị
nchụaja ndị a ndị na-afụ opi, tinyere Zekaraya nwa Jonatan, nwa Shemaya. Ndị bụ
nna nna Zekaraya bụ Matanaya, Mikaya na Zakua, ndị ikwu Asaf. 36 Ndị otu ya, bụ
Shemaya, Azarel, Milalai, Gilalai, Maai, Netanel, Juda na Hanani. Ha niile ji ngwa
egwu ha, ụdị ngwa egwu ndị ahụ Devid onye nke Chineke nyere n’iwu na ndị ọbụ
abụ ga-eji. Ezra, bụ ode akwụkwọ nọ n’ihu na-edu ha. 37 Mgbe ha rutere n’Ọnụ Ụzọ
ama Isi Iyi, ha rigooro n’elu nkwasa nrigo ụlọ elu e si abata n’obodo Devid, si ebe ahụ
gafee ụlọeze Devid, gaakwa lọghachi n’Ọnụ Ụzọ Ama Mmiri, nke dị n’akụkụ ọwụwa
anyanwụ obodo ahụ.
38 Ndị ọbụ abụ nke ọzọ bụ ndị na-enye ekele gara ụzọ aka ekpe. Mụ onwe m sooro
ha n’elu mgbidi ahụ, tinyere ọkara ndị mmadụ ahụ, gafee Ụlọ elu Ite Ọkụ jeruo
Mgbidi Sara Mbara. 39 Anyị sitekwara n’ebe ahụ gafee Ọnụ Ụzọ Ama Ifrem, Ọnụ Ụzọ
ama Jeshana, Ọnụ Ụzọ Ama Azụ, Ọnụ Ụzọ Ama Ụlọ Elu Hananel, ruokwa n’Ọnụ Ụzọ
Ama Ụlọ Elu Narị na ruo n’Ọnụ Ụzọ Ama Atụrụ, kwụsị n’Ọnụ Ụzọ Ama Ndị Nche.
40 Ya mere, ụzọ ndị mmadụ abụọ na-abụ abụ ekele nye Chineke zukọtara bata
n’ụlọnsọ ukwu. Esokwa m ha bata, mụ na ọkara ndị ndu, 41 tinyere ndị nchụaja ndị
a: Eliakịm, Maaseia, Miniamin, Mikaya, Elioenai, Zekaraya na Hananaya. Ndị a niile
ji opi ha. 42 Ndị ọzọ sokwa bata bụ ndị a: Maaseia, Shemaya, Elieza, Uzi, Jehohanan,
Malkija, Elam na Eza. Onyendu ndị ọbụ abụ ahụ niile bụ Jezrahaya. 43 Ha chụrụ
ọtụtụ aja n’ụbọchị ahụ n’ihi na Chineke nyere ha oke ọṅụ. Ụmụnta na ndị inyom
sokwa ṅụrịa ọṅụ. Ha nụkwara ụda ọṅụ ndị Jerusalem site n’ebe dị anya.
44 N’oge ahụ ka a họpụtara ndị ikom na-elekọta ụlọ ịchịkọba ihe, ebe a na-achịkọba
onyinye mkpụrụ mbụ, na onyinye otu ụzọ n’ụzọ iri. A na-esite n’obodo gbara
Jerusalem gburugburu na-ewebata n’ụlọ ịchịkọba ihe onyinye niile e nyere n’iwu
maka ọdịmma ndị nchụaja na ndị Livayị. E si otu a na-ewebata ya n’ihi na ọrụ
ndị nchụaja na ndị Livayị na-arụ na-atọ ndị Juda ụtọ nke ukwuu. 45 N’ihi na ha
na-arụ ọrụ Chineke ahụ ha ketara ịrụ, ya na ọrụ ido ndị mmadụ na ihe ọbụla nsọ.
Otu a kwa ka ndị ọbụ abụ, na ndị na-eche nche sị arụkwa ọrụ a dịka iwu Devid
na Solomọn nwa ya nyere si dị. 46 Ọ bụ n’oge Devid na Asaf ka e bidoro inwe ndị
ndu abụ ito na ikele Chineke. 47 Ya mere, n’oge Zerubabel na Nehemaya, ndị Izrel
niile na-ewebata onyinye e ji akwagide ọrụ ndị ọbụ abụ, na ndị nche, na ndị Livayị.
Ha kewapụtakwara oke ruru ndị Livayị ndị ọzọ iche, ndị Livayị n’onwe ha kwa,
kewapụtara oke ruru ụmụ Erọn n’ime ihe e nyere ha dịka e si nye ya n’iwu.

# 13

*Mgbanwe ikpeazụ Nehemaya wetara*

1 N’ụbọchị ahụ, a gụpụtara okwu Chineke na ntị ndị Izrel site n’akwụkwọ iwu
Mosis. Mgbe a na-agụpụta ya, a chọpụtara na o megidere iwu na onye Amọn, maọbụ
onye Moab, ga-eso n’ofufe ụlọnsọ ukwu Chineke. 2 N’ihi na ha bụ ndị iro ụmụ Izrel.

Ha enyeghị ha ihe oriri na ihe ọṅụṅụ kama ha zụrụ Belam ka ọ bụọ ụmụ Izrel ọnụ.
(Ma Chineke anyị gbanwere ịbụ ọnụ ahụ mee ka ọ ghọọ ngọzị.) 3 Mgbe a gụpụtara
iwu a, ndị Izrel chụpụrụ ndị mba ọzọ niile nọ n'ọgbakọ ha.
4 Ma tupu ihe ndị a niile emee, Eliashib onye bụ onye nchụaja, onye e doro
n'isi ilekọta ime ụlọ a na-achịkọba ihe n'ụlọ Chineke anyị, ya na Tobaya nwee ezi
mmekọrịta, 5 o weere otu ọnụụlọ buru ibu a na-achịkọba ihe nye ya. Na mbụ, ọ bụ
ọnụụlọ ebe a na-achịkọta onyinye ọka na ụda na-esi isi ụtọ, na ngwongwo ụlọnsọ,
na efere mmanya ọhụrụ, na mmanụ oliv. Mosis enyelarị ya n'iwu na ọ bụ ndị Livayị
na ndị ọbụ abụ na ndị nche nwe onyinye ndị ahụ. Ndị nchụaja nwekwa oke n'ihe
ndị a.
6 Mgbe ihe ndị a na-eme, anọghị m na Jerusalem, n'ihi na n'iri afọ atọ na abụọ
nke ọchịchị Ataksekses, eze Babilọn,* a lọghachikwutere m eze. Ma e mesịrị m
nata ya ike 7 laghachikwa na Jerusalem. N'ebe a ka m nọ mata banyere ihe ọjọọ
ahụ Eliashib mere, inye Tobaya otu ọnụụlọ nke dị n'ogige ụlọ Chineke ka ọ bụrụ ebe
izuike ya. 8 Iwe were m nke ukwuu, nke mere na m sitere n'ọnụụlọ ahụ tụpụsịa
ngwongwo Tobaya niile n'ezi. 9 Enyere m iwu ka e doo ọnụụlọ ndị ahụ niile ọcha,
a chighachikwara m ngwongwo ụlọ Chineke niile n'ime ha, ha na onyinye mkpụrụ
ọka, na ụda na-esi isi ụtọ ndị ahụ.
10 A chọpụtakwara m na-enyebeghị ndị Livayị oke ihe ruru ha, nke mere na ndị
ọbụ abụ, na ndị nche ndị ọ bụ ọrụ ha i doo ofufe, alaghachila n'ubi ha dị iche iche.
11 N'ihi ya, abaara m ha mba jụọ ha si: "Gịnị mere unu jiri gbakụta ụlọnsọ ukwu
Chineke azụ?" Mgbe ahụ akpọghachiri m ndị Livayị nyekwa ha ọrụ ha n'ụlọnsọ.
12 Ndị Juda niile bidokwara iweta ụtụ ha, na onyinye ọka, na mmanya vaịnị na
mmanụ oliv ha n'ụlọ ịchịkọba ihe dị n'ụlọnsọ. 13 E tinyere m Shelemaya onye
nchụaja, na Zadọk ode akwụkwọ, na Pedaia onye Livayị, ka ha bụrụ ndị na-elekọta
ụlọ ịchịkọba ihe niile ahụ. Emekwara m Hanan nwa Zakua, nwa Matanaya, onye ga
na-enyere ha aka, n'ihi na a gụrụ ha dịka ndị kwesiri ntụkwasị obi. Ọrụ ha bụ ikere
ndị Livayị ibe ha niile oke.

14 Chineke m, biko cheta m n'ihi nke a, ehichapụkwala ihe niile m ji obi m niile rụọ
n'ụlọnsọ gị na ije ozi niile ya.

15 N'ụbọchị ndị ahụ, ka m hụrụ na Juda ndị na-azọcha mmanya vaịnị n'ụbọchị
izuike, ndị ji ịnyịnya ibu na-ebubata ogbe ọka, na-ebokwasị ha n'elu ịnyịnya ibu,
tinyekwara mmanya, na mkpụrụ vaịnị na fiig, na ibu niile ọbụla. Ha na-ebubatakwa
ha n'ime Jerusalem n'ụbọchị izuike. Nke a mere m ji dọọ ha aka na ntị megide ire
nri n'ụbọchị ahụ. 16 Ndị si obodo Taịa, bụ ndị birila na Jerusalem nọ na-ebubata azụ
na ngwa ahịa ndị ọzọ dị iche iche, na-ere ha na Juda, nakwa na Jerusalem n'ụbọchị
izuike. 17 A baara m ndị a na-asọpụrụ na Juda mba, si ha, "Gịnị bụ ihe ọjọọ nke a
unu na-eme, na-emerụ ụbọchị izuike? 18 Ọ bụghị otu ihe a ka nna nna unu ha mere,
nke mere na Chineke wetara ọdachi a tụkwasị anyị nakwa obodo a? Ugbu a, unu
na-akpali ọnụma tụkwasị na nke dị megide Izrel site n'imerụ ụbọchị izuike?"
19 N'ihi nke a, enyere m iwu na a ga-emechi ọnụ ụzọ ama Jerusalem n'uhuruchi
tupu ụbọchị izuike, ruo mgbe ụbọchị izuike gafesịrị. Emere m ka ụfọdụ ndị ohu
m na-anọ na nche n'ebe ahụ, ịhụ na ọ dịghị onye ahịa ọbụla ga-abata n'ime obodo
Jerusalem n'ụbọchị izuike. 20 Ya mere, ndị na-azụ ahịa na ndị na-ere ụdị ngwa ahịa
dị iche iche, na-anọ ọnọdụ abalị n'azụ Jerusalem, otu gboro maọbụ ugboro abụọ.
21 Ma a dọrọ ha aka na ntị, sị, "Gịnị ka unu ji na-anọ ọnọdụ abalị n'akụkụ mgbidi

* **13:6** 13:6 Sairọs nyere onwe ya aha a, bụ Eze Babilọn, mgbe o meriri ndị Babilọn n'agha.

a? Ọ bụrụ na unu eme ya ọzọ, aga m enye iwu ka e jide unu.” Site n’ụbọchị ahụ
gaa n’ihu, ha abịakwaghị ọzọ n’ụbọchị izuike. 22 Mgbe ahụ, enyere m ndị Livayị iwu
ka ha doo onwe ha ọcha, nọọkwa na nche n’ọnụ ụzọ ama, ịhụ na onye ọbụla doro
ụbọchị izuike nsọ.

Chineke m, biko, cheta m n’ihi ihe ọma ndị a niile, nwee amara n’ebe m nọ, dịka
ịba ụba nke obi ebere gị si dị.

23 Ọzọ, n’ụbọchị ndị ahụ a hụrụ m ndị ikom Juda ndị lụtara ndị inyom site n’etiti
ndị Ashdọd, na ndị Amọn, na ndị Moab, 24 chọpụtakwa na ọkara n’etiti ụmụ ha
na-asụ naanị asụsụ ndị Ashdọd, maọbụ otu asụsụ nke ndị mba ọzọ, ma ha amaghị
asụsụ Juda ma ọlị. 25 Ya mere, abaara m ha mba, bụkwaa ha ọnụ. Ụfọdụ ha ka m tiri
ihe, dọọkwa ha n’agịrị isi. Emesịa, emere m ka ha ṅụọ iyi n’aha Chineke si: “Unu
agaghị ekwekwa ka ụmụ ndị ikom na ndị inyom unu lụọ ndị mba ọzọ ma unu onwe
unu agakwaghị alụtara ụmụ unu, maọbụ onwe unu, ndị inyom ndị mba ọzọ. 26 Ọ
bụghị ọlụlụ di na nwunye dị otu a wetara ọdịda Solomọn? O nweghị eze ọzọ dị na
mba ọbụla a pụrụ iji tụnyere Solomọn, n’ihi na Chineke ya hụrụ ya n’anya mee ya
eze ndị Izrel niile. Ma ọ bụ ndị nwunye mba ọzọ ọ lụrụ dubara ya na mmehie ikpere
arụsị. 27 Ugbu a, ọ bụ ka anyị gere na ntị na unu onwe unu na-emekwa ajọ ihe dị
otu a, na unu ekwesighị ntụkwasị obi nye Chineke anyị, site n’ịlụ ndị inyom ndị mba
ọzọ?”
28 Ya mere, esitere m n’ebe m nọ chụpụ otu n’ime ụmụ ndị ikom Joiada, nwa
Eliashib, onyeisi nchụaja, onye bụ ọgọ Sanbalat onye Hor.

29 Cheta ha, Chineke m, n’ihi na ha merụrụ ọrụ nchụaja, na ọgbụgba ndụ ọrụ
nchụaja, na nke ndị Livayị.

30 Ya mere, e doro m ndị nchụaja, na ndị Livayị ọcha, wezugakwa ihe ọbụla nke
na-ekwesighị n’ebe ha nọ. E kenyere m ha ọrụ, onye ọbụla n’ije ozi ya. 31 Emekwara
m ka a na-ebubata nkụ nke ebe ịchụ aja n’oge kwesiri, meekwa ka a na-ewebata
onyinye mkpụrụ mbụ niile n’oge ha.

Cheta m Chineke, gosi m ihuọma gị.

# Esta

*Ọdịda eze nwanyị Vashti*

1 Nke a bụ ihe mere n’oge ọchịchị eze Sekses, bụ Sekses nke chiri alaeze[*] nwere
mpaghara dị iche iche nke karịrị otu narị na iri abụọ na asaa (127), nke gbasakwara
site n’India rụọ Kush.[†] 2 N’oge ahụ, isi ọchịchị obodo eze Sekses bụ Susa[‡] ebe ocheeze
ya dịkwa. 3 N’afọ nke atọ nke ọchịchị ya, o mere mmemme oke oriri nye ndịisi ọrụ
ya niile. Ndị ọzọ ọ kpọkwara bụ ndịisi agha nke Peshịa na Midia, na ụmụ eze, na ndị
ọchịchị sitere na mba dị iche iche ọ na-achị.
4 Mmemme a were otu narị na iri ụbọchị asatọ (180). Eze jikwa oge a gosi akụnụba,
na ịma mma na ebube nke alaeze ya. 5 Mgbe ụbọchị ndị a gafesịrị, eze kpọrọ oke
oriri nọrọ ụbọchị asaa n’ubi a gbara ogige dị n’ụlọeze, nye ndị niile nọ na Susa,
site n’onye ukwu ruo n’onye nta. 6 Ihe ịchọ mma e ji dozie ogige ahụ bụ ezi akwa
mgbochi dị ọcha, nke e ji ogho ọcha kpaa na nke e jikwa ogho na-acha anụnụ anụnụ
kpaa. E jikwa eriri ogho dị ezi ọcha na nke na-acha odo odo kekọtaa akwa mgbochi
ndị ahụ, n’ihe mgbaaka ọlaọcha dị n’ogidi nkume dị oke ọnụahịa e wuru n’ebe ahụ.
A dọbakwara oche[§] ọlaọcha na ọlaedo ndị ahụ n’ebe e wulitụrụ elu, nke e ji nkume
mabụl na nkume ndị ọzọ dị oke ọnụahịa, ndị na-acha ezi ọcha, ndị na-acha odo odo
na nke na-eji oji wuo ala ya. 7 E jikwa iko ọlaedo ṅụọ ihe ọṅụṅụ. Iko ọlaedo ọbụla
e wepụtara n’ụbọchị ahụ dị iche n’iche. O nweghị nke yiri ibe ya. E mekwara ka
mmanya eze baa ụba dịka afọ ọma aka eze si dị. 8 E nyeghịkwa iwu ọbụla banyere
iko mmanya ole mmadụ kwesiri iṅụ kama ndị chọrọ ga-aṅụ dịka o si masị ha. N’ihi
na eze agwalarị ndịisi ozi ya na onye ọbụla kwesiri iṅụ dịka o si chọọ.
9 N’otu oge ahụ, eze nwanyị Vashti, kpọkwara oke oriri nye ụmụ nwanyị niile nọ
n’ụlọeze, Sekses.
10 N’ụbọchị nke asaa, mgbe obi dị eze Sekses mma n’ihi mmanya ọ ṅụrụ, ọ nyere
ndị onozi asaa ndị a na-ejere ya ozi iwu, ha bụ, Mehuman, na Bizta, na Habona,
na Bigta, na Abagta, na Zeta, na Kakas, 11 sị ha gaa kpọọ Vashti nwunye eze ka ọ
bịakwute ya. Eze nyekwara iwu ka Vashti kpuru okpueze n’isi ya, maka igosi ndị
mmadụ niile na ndị a na-asọpụrụ nọ n’ebe ahụ ịma mma ya. N’ihi na Vashti mara
mma. 12 Ma mgbe e mere ka ozi eze ruo ya ntị, eze nwanyị, bụ Vashti jụrụ ịbịa. Nke
a mere ka iwe wee eze nke ukwuu.
13 Dịka eze Sekses na-eme, ọ kpọkwara ndị ọkachamara n’ihe gbasara iwu na ikpe
ziri ezi. Eze na ndị a mara ihe, bụ ndị maara ihe ụbọchị nyere kparịtara ụka. 14 Ha
bụkwa ndị na-anọkarị eze nso. Aha ha bụ Kashena, na Sheta, na Admata, na Tashish,
na Meres, na Masena, na Memukan. A maara aha mmadụ asaa ndị a n’ala Midia na
Peshịa. Ha bụ ndị na-aga n’ihu eze mgbe ọbụla ha chọrọ, bụrụkwa ndị dịkarịsịrị elu
n’alaeze ahụ.
15 Eze jụrụ sị, “Dịka iwu si dị, gịnị ka a ga-eme Vashti bụ nwunye eze n’ihi na o
nupuru isi n’iwu eze Sekses nyere nke o zigaara ya site n’ọnụ ndị onozi ya?”
16 Memukan kwuchitere ọnụ ndị ọzọ sị, “Ihe Vashti nwunye eze mere jọrọ njọ. O
mehiela eze, mehiekwa ndị ọchịchị niile, na ndị niile bi n’akụkụ niile nke alaeze
Sekses. 17 N’ihi na ndị inyom niile ga-amata ihe eze nwanyị mere, malite ilelị ndị
di ha anya, ma na-ekwu sị, ‘Eze Sekses nyere Vashti nwunye ya iwu ka ọ bịa n’ihu

[*] **1:1** 1:1 E kewara alaeze a ụzọ isi, nwee isi ọchịchị iri abụọ. Mpaghara ọbụla nọ n’okpuru otu isi ọchịchị.
[†] **1:1** 1:1 Nke bụ mgbago osimiri Naịl [‡] **1:2** 1:2 Susa bụ otu n’ime isi obodo anọ nke alaeze ahụ. Ndị ọzọ bụ Babilọn, Peshịapolis na Ekbatana. Obodo Susa bụ na ndagwurugwu Taịgria ka ọ dị, ọ bụkwa n’ebe ahụ ka ndị eze atọ chịrị alaeze a na-anọ n’oge oke oyi. [§] **1:6** 1:6 Ndị Peshịa na-adabere n’oche ma ha na-eri ihe.

ya, ma ọ jụrụ ịbịa.’ 18 N’ụbọchị taa ka ndị inyom ndịisi nke Peshịa na Midia, bụ ndị
nụrụ banyere omume nwunye eze mere, ga-azakwa ndịisi ọchịchị alaeze gị n’ụzọ dị
otu a. A ga-enwe nleda anya na esemokwu n’ala a mgbe niile.
19 “Ya mere, ọ bụrụ na ọ masị eze, ya nye iwu, nke a ga-edepụta, ka ọ bụrụ iwu
n’ala Peshịa na Midia, nke na-agaghị agbanwe, na Vashti agaghị abatakwa n’ihu eze
Sekses ọzọ. Ka eze werekwa ọnọdụ eze nwanyị ahụ nye onye ọzọ ka ya mma. 20 Ọ
ga-erukwa na mgbe a gụpụtara iwu a eze nyere n’akụkụ alaeze a niile, ndị inyom
niile ga-asọpụrụ ndị di ha site n’onye dịkarịsịrị nta n’etiti ha ruo n’onye dị ukwuu.”
21 Eze na ndịisi ọchịchị ya nabatara ndụmọdụ a, n’ihi ya, eze mere ihe Memukan
kwuru. 22 O zipụrụ akwụkwọ ozi a nye akụkụ niile a na-achị achị nke alaeze ahụ.
E dekwara akwụkwọ ozi ahụ n’asụsụ dị iche iche, na-ekwupụta n’asụsụ ọbụla na
nwoke ọbụla kwesiri ịbụ onye na-achị ezinaụlọ ya.

# 2

*Esta aghọọ eze nwanyị*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, ka iwe eze Ahasuerọs dajụrụ, ọ malitere iche echiche
banyere Vashti. O chetara ihe Vashti mere, chetakwa ihe e kpebiri banyere ya. 2 Mgbe
ahụ, ndị na-ejere eze ozi sịrị ya, “Ka anyị gaa chọtara eze ụmụ agbọghọ na-amaghị
nwoke mara mma ile anya. 3 Ka eze họpụta ndị nchịkọta n’isi obodo niile, ndị ga
na-ahọpụta, ma na-akpọbatakwa ụmụ agbọghọ ndị a niile mara mma, n’ụlọeze dị
na Susa. Ka Hegai, onozi eze bụrụkwa onye ga-elekọta ndị inyom ndị a. Ka e jirikwa
ihe ịchọ mma niile chọọ ha mma dịka o si kwesi. 4 Emesịa, nwaagbọghọ ahụ ihe ya
masịrị eze karịa ga-abụ nwunye eze n’ọnọdụ Vashti.” Ntụpụta a tọrọ eze ụtọ nke
ukwuu. O nyere ha ike ka ha malite na-atụfughị mgbe.
5 N’oge a, enwere otu onye Juu nọ n’obodo Susa nke ewusiri ike, a na-akpọ Mọdekai
nwa Jaịa, nwa Shimei, nwa Kish, onye Benjamin. 6 Ọ bụ onye a dọtara n’agha mgbe
Nebukadneza bibiri Jerusalem. N’oge ahụ, e mere ka ọ hapụ obodo ya gaa biri na
Babilọn bụkwa oge a dọtakwara Jekonaya* eze ndị Juda na ọtụtụ ndị ọzọ n’agha.
7 Mọdekai nwere nwa nwanne nna ya, aha ya bụ Hadasa, ma a na-akpọkwa ya Esta,
onye mara mma n’ahụ dịkwa mma ile anya. Nne ya na nna ya anwụọla, ma Mọdekai
kpọbatara ya n’ụlọ ya zụọ ya dịka nwa ya nwanyị.
8 Ya mere, n’ihi iwu ahụ eze nyere, e mere ka ọtụtụ ụmụ agbọghọbịa bịa na Susa,
n’ime ụlọ ukwu eze. Ọ bụkwa Hegai na-elekọta ha niile. A kpọbatakwara Esta
n’ụlọeze nyefee ya Hegai n’aka, onye na-elekọta ebe obibi ndị iko nwanyị eze. 9 Ọ
masịrị ya, ọ natakwara ihuọma n’ebe ọ nọ. Ngwangwa ọ malitere inye ya nri pụrụ
iche, na ihe ndị ahụ niile e ji edozi ahụ na ịchọ mma. O sitere n’etiti ụmụ agbọghọ nọ
n’ụlọeze họpụta ụmụ agbọghọ asaa ndị na-ejere Esta ozi. O duuru ya na ndị na-ejere
ya ozi dubaa n’ebe kachasị mma n’ogige ebe ndị inyom eze bi.
10 Ma Esta agwabeghị onye ọbụla obodo ya maọbụ ihe banyere ezinaụlọ ya, n’ihi
na Mọdekai nyere ya iwu ka ọ ghara ịgwa onye ọbụla. 11 Ụbọchị niile, Mọdekai
na-abịa n’ogige ụlọ ndị inyom na-ajụ ase otu Esta mere, n’ịchọpụta otu ihe si agara
ya.
12 Tupu o ruoro nwaagbọghọ ọbụla ibakwuru eze Sekses, ọ ga-anọzu ọnwa iri na
abụọ n’ebe a na-achọ ya mma dịka iwu e nyere banyere ịchọ mma ndị inyom si dị.
A ga-eji mmanụ máá chọọ ya mma ọnwa isii, werekwa mmanụ isi ụtọ dị iche iche,
na ihe ịchọ mma ndị ọzọ kwadoo ya n’ime ọnwa isii nke ọzọ. 13 N’ụzọ dị otu a, ka
nwaagbọghọ ọbụla ga-adị gakwuru eze, bụ Sekses. A na-enye ya ihe ọbụla ọ chọrọ
site n’ebe obibi ha nke o ji aba n’ụlọeze. 14 A na-eme ka ọ banye n’ụlọeze n’anyasị,

* **2:6** 2:6 Nke a bụ ụzọ ọzọ e si akpọ aha Jehoiakin.

ma n’ụtụtụ, ọ na-alọghachi n’ụlọ ọzọ nke dị n’ebe ụmụ nwanyị eze bi. N’ebe ahụ ka
Shashgaz, onozi eze nọ na-elekọta ndị iko nwanyị eze. Ọ gakwaghị alọghachi n’ebe
eze ọzọ karịakwa ma ihe ya ọ masịrị eze, eze akpọọ ya ka ọ bịaghachi ọzọ.
15 Mgbe oge Esta (ada Abihail, onye bụ nwanne nna Mọdekai, onye kpọọrọ
nwantakịrị nwaagbọghọ a ka ọ bụrụ nwa nke ya) ga-eji gaa n’ihu eze ruru, ọ nabatara
ndụmọdụ Hegai, onozi ahụ na-elekọta ndị inyom. Ọ hụtara amara n’ihu mmadụ niile
ndị hụrụ ya. 16 E mere ka Esta bakwuru eze n’ọnwa nke iri n’afọ nke asaa nke ọchịchị
eze Ahasuerọs.
17 Eze hụrụ Esta n’anya karịa ụmụ agbọghọ ndị ọzọ niile. Ọ natara amara na
mmasị eze karịa ụmụ agbọghọ na-amaghị nwoke ndị ọzọ. Ya mere, o weere okpueze
kpukwasị ya n’isi mee ya eze nwanyị n’ọnọdụ Vashti. 18 Eze kpọrọ oke oriri, n’ihi
Esta, nye ndịisi ọchịchị ya niile na ndị ozi ya niile. Ọ kpọsara ezumike nye ndị ọrụ
niile n’alaeze ya, ma kesaakwa onyinye nye ọtụtụ ndị mmadụ dịka eze pụrụ ime.

### *Atụmatụ ọjọọ Mọdekai chọpụtara*

19 Mgbe a chịkọtara ụmụ agbọghọ ndị a na-amaghị nwoke nke ugboro abụọ,
Mọdekai nọ ala n’ọnụ ụzọ ama eze. 20 Ma Esta emebeghị ka onye ọbụla mara ihe
banyere ezinaụlọ ya maọbụ obodo ya, dịka Mọdekai nyere ya n’iwu, nke ọ na-emeri
mgbe a na-azụlite ya.
21 Otu ụbọchị, mgbe Mọdekai nọ n’ọrụ n’ọnụ ụzọ ama ụlọ ukwu eze, ndị onozi abụọ
eze nwere, aha ha bụ Bigtan na Teresh, ndị na-eche ọnụ ụzọ ụlọeze nche, were iwe
megide eze. Ha gbara izu kpebie na ha ga-egbu eze Sekses. 22 Ma Mọdekai chọpụtara
nzube ọjọọ a gwa ya Esta, nwunye eze, onye gwara eze, meekwa ka eze mata na ọ
bụ Mọdekai gwara ya. 23 Mgbe e nyochara kwu a, chọpụta na ọ bụ eziokwu, e jidere
mmadụ abụọ ahụ kwụgbuo ha n’osisi. E dekwara ihe ndị a niile n’ihu eze n’ime
akwụkwọ akụkọ ihe e mere.

## 3

### *Nzube ọjọọ Heman*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, eze bụ Ahasuerọs mere Heman nwa Hamedata onye Agag ka
ọ bụrụ onye ukwu, o nyere ya ugwu site n’inye ya oche dị elu karịa nke ndị ọzọ niile
a na-asọpụrụ. 2 Ndịisi ọchịchị eze niile na-egbu ikpere n’ala nye Heman nsọpụrụ
mgbe ọbụla o si n’ọnụ ụzọ ama ụlọeze na-agafe, n’ihi na ọ bụ otu a ka eze nyere
n’iwu. Ma Mọdekai ekweghị egbu ikpere nye ya, ọ kwekwaghị enye ya nsọpụrụ.
3 Mgbe ahụ, ndị ozi eze ndị nọ n’ọnụ ụzọ ama eze jụrụ Mọdekai ajụjụ si ya, “Gịnị
mere i ji na-enupu isi n’iwu eze nyere?” 4 Ha na-agwa ya okwu kwa ụbọchị kwa
ụbọchị, ma o geghị ha ntị. N’ihi nke a, ha gwara Heman ihe banyere ya, ịhụ ma ọ
ga-anabata omume Mọdekai, ebe ọ gwara ha na ya bụ onye Juu.
5 Ihe a were Heman iwe nke ukwuu mgbe ọ chọpụtara na Mọdekai jụrụ igbu ikpere
n’ihu ya, maọbụ ịsọpụrụ ya. 6 Mgbe ọ matara ndị Mọdekai ha bụ, ọ dị ya ka ihe ileda
anya ma o gbuo naanị Mọdekai. Kama Heman chọrọ ụzọ ọ ga-esi laa ndị Mọdekai
niile, bụ ndị Juu nọ n’alaeze niile nke Sekses n’iyi.
7 N’ọnwa mbụ, nke bụ ọnwa Nisan, n’afọ nke iri na abụọ nke ọchịchị eze
Ahasuerọs. Ha fere nza (nke bụ Pua) n’ihu Heman iji họpụta ụbọchị na ọnwa. Ma
nza ahụ danyere n’ụbọchị nke iri na atọ n’ọnwa nke iri na abụọ, nke bụ ọnwa Aada.
8 Mgbe ahụ Heman sịrị eze Sekses, “O nwere otu ndị gbasara ebe niile, n’etiti ndị
bi n’obodo dị iche iche niile nke alaeze gị, ha kepụrụ onwe ha iche. Iwu ha dị iche
site n’iwu nke ndị mba ọzọ. Ha adịghị edebekwa iwu eze, ọ gaghị abara eze uru i
hapụ ha ka ha nọdụrụ onwe ha. 9 Ọ bụrụ na ọ masịrị eze, ya nye iwu ka a laa ha
n’iyi, aga m akwụnye puku talenti ọlaọcha iri n’aka ndị nlekọta n’ihi ụlọakụ eze.”

10 Ya mere, eze gbapụtara ọlaaka ikike ya* nye ya Heman nwa Hamedata onye
Agag, onye iro ndị Juu 11 Eze gwara Heman, “Enyela m gị ọlaọcha ahụ, ya na ndị a.
Mee ha dịka o si dị gị mma.”
12 N’abalị iri na atọ nke ọnwa mbụ, a kpọkọrọ ndị ode akwụkwọ eze niile. Ha
depụtara n’akwụkwọ isi obodo dị iche iche, nakwa n’asụsụ ndị ọbụla, ihe niile
Heman nyere n’iwu nye ndị nnọchị anya eze niile, ndị ọchịchị nke ala niile ha na-
achị, na ndịisi nke ndị ọbụla nọ n’ime alaeze a. E ji aha Ahasuerọs dee akwụkwọ ndị
ahụ, werekwa mgbaaka eze n’onwe ya kaa ya akara. 13 E zipụrụ ndị ọgba ọsọ ozi eze
ka ha gaa n’isi obodo ọbụla n’alaeze ahụ, na-enye iwu a edere n’akwụkwọ ka a laa
n’iyi, gbuo, ma kpochapụkwa ndị Juu niile, ma nwantakịrị ma okenye, ma nwanyị,
ma ụmụntakịrị, n’otu ụbọchị, n’abalị iri na atọ nke ọnwa iri na abụọ, nke bụ ọnwa
Aada, nakwa ịpụnara ha akụnụba ha n’ike. 14 Ihe ndepụta nke otu akwụkwọ ahụ bụ
nke a ga-enye dịka iwu n’obodo niile ọbụla site na nkwupụta, mee ka ndị mba niile
mara maka ya, nọọkwa na njikere n’ihi ụbọchị ahụ.
15 Ọ bụ ndị ozi eze na-agba ọsọ nke ọma ka e nyere ozi ahụ, ka ha jiri ya jee n’obodo
niile. E mekwara ka iwu ahụ baa mmadụ niile bi na Susa ntị. Emesịa, eze na Heman
nọdụrụ ala ịṅụ ihe ọṅụṅụ n’oge ndị niile bi na Susa nọ n’egwu n’ihi okwu ibibi ndị
Juu ahụ.

# 4

*Mọdekai agwa Esta maka nsogbu ha*

1 Mgbe Mọdekai nụrụ ihe mere, ọ dọwara uwe ya, yikwasị onwe ya akwa mkpe,
werekwa ntụ kpokwasị onwe ya, pụọ baa n’ime obodo, na-eti mkpu akwa. 2 Ọ bịaruru
n’ọnụ ụzọ ama nke ụlọeze guzo n’ebe ahụ, n’ihi na ọ dịghị onye a na-ekwe ka o yiri
akwa mkpe banye n’ogige ụlọeze. 3 N’alaeze ahụ ndị Juu niile, nọ n’iru ụjụ na ibu
ọnụ na ịkwa akwa na iti aka n’obi n’ihi iwu eze ahụ. Ọtụtụ yikwa akwa mkpe ha,
dinarakwa na ntụ.
4 Mgbe ụmụ agbọghọ na ndị onozi Esta gwara ya ihe banyere Mọdekai, o wutere
ya nke ukwuu. O zigaara Mọdekai uwe, ka o nwee ike gbanwee uwe mkpe ahụ o
yi, ma ọ naraghị ha. 5 Mgbe ahụ, Esta ziri ka a kpọọ Hatak, otu n’ime ndị onozi eze,
onye nke ọ bụ ọrụ ya ijere Esta ozi, gwa ya ka o jekwuru Mọdekai jụọ ya ihe kpatara
nke a, na ihe mere o ji na-eme otu a.
6 Hatak jere n’ama obodo ahụ ebe ọ hụrụ Mọdekai n’ọnụ ụzọ ụlọeze. 7 Mọdekai
kọọrọ ya ihe niile, na otu Heman si kwee nkwa ịkwụnye ego n’ụlọakụ eze ka e were
laa ndị Juu n’iyi. 8 O nyekwara ya akwụkwọ iwu eze ebe e dere maka ịla ha n’iyi, bụ
nke akpọsara na Susa, ka o gosi ya Esta, kọwaakwa ya nye ya. Ọ gwara ya ka o nye
ya iwu ka ọ bakwuru eze rịọ ya arịrịọ amara, rịọkwa ya ebere n’ihi ndị ya.
9 Hatak lọghachiri zie Esta ihe niile Mọdekai kwuru. 10 Ma Esta gwara Hatak ka
o jeghachi gwa Mọdekai sị, 11 “Ụwa niile maara nke ọma na onye ọbụla, maọbụ
nwoke maọbụ nwanyị, banyere n’ime ime ụlọeze mgbe eze na-akpọghị ya, ga-anwụ,
karịakwa ma eze o setịpụrụ mkpara ọlaedo ya gosi onye ahụ na ọ nabatara ọbịbịa
ya. Ugbu a, o meela ihe dị ka otu ọnwa kemgbe eze na-ezibeghị ozi ka a kpọọ m.”
12 Mgbe ha gwara Mọdekai ihe Esta zara, 13 o zighachiri ọsịsa a, “Echela n’ihi na
i bi n’ụlọeze na naanị gị ga-afọdụ ndụ n’etiti ndị Juu niile. 14 Ọ bụrụ na ị gba nkịtị
n’oge a, oghere na napụta ndị Juu ga-esite n’ụzọ ọzọ bịa, ma gị onwe gị na ụlọ nna
gị ga-ala n’iyi. Onye makwanụ ihe mere i ji nọrọ n’ụlọeze n’oge dị otu a?”
15 Mgbe ahụ, Esta zara Mọdekai sị; 16 “Gaa kpọkọtaa ndị Juu niile bi na Susa,
bukwaaranụ m ọnụ. Unu erila ihe ọbụla, maọbụ ṅụọ ihe ọbụla abalị atọ, ehihie na

* **3:10** 3:10 Maọbụ, Mgbaaka eze bụ ihe e ji akachi okwu mee ka okwu ahụ bụrụ iwu. Jen 41:42; Est 8:2,8

abalị. Mụ onwe m kwa, na ụmụ agbọghọ na-ejere m ozi, ga-emekwa otu ihe ahụ.
Emesịa, ọ bụ ezie na ọ bụ ihe megidere iwu, ma aga m aga hụ eze anya. Ihe ọ pụtara
ya pụta. Ọ pụtara m ọnwụ, ka m nwụọ!”
17 Mọdekai pụrụ, gaa mee dịka Esta gwara ya.

# 5

*Arịrịọ Esta rịọrọ eze*

1 N’abalị nke atọ ya, Esta yiri uwe eze nwanyị ya, guzo n’ime ime ogige ụlọeze, nke
chere ihu n’ụlọ nzukọ ukwu dị n’ụlọeze, ebe eze nọdụ n’ocheeze ya chee ihu n’ọnụ
ụzọ. 2 Mgbe ọ hụrụ Esta bụ nwunye eze ka o na-eguzo n’ogige ahụ, ihe ya masịrị ya,
ọ nabatakwara ya site na ị setịpụrụ ya mkpara ọlaedo nke dị n’aka ya. Ya mere, Esta
bịaruru nso metụkwa isi mkpara ọlaedo ahụ aka.
3 Eze jụrụ ya sị, “Gịnị ka ị chọrọ, eze nwanyị Esta? Gịnị bụ mkpa gị? Aga m emere
gị ya, ọ bụladị ma ọ bụrụ inye gị otu ọkara alaeze m.”
4 Esta zara sị, “Ọ bụrụ na ọ masịrị eze, achọrọ m ka gị na Heman bịa rie oriri m
kwadooro unu taa.”
5 Eze tụgharịrị gwa ndị ozi ya sị, “Gwanụ Heman ka o mee ngwangwa bịa ka anyị
gaa mee ihe Esta rịọrọ.”
Emesịa, eze na Heman bịara n’oriri Esta. 6 Mgbe ha na-aṅụ mmanya, eze sịrị Esta,
“Ugbu a, gwa m ihe ị chọrọ, aga m enye gị ya, ọ bụladị ma ọ bụrụ otu ọkara alaeze
m.”
7 Esta zara sị, “Arịrịọ m na mkpa m bụ nke a, 8 ọ bụrụ na m ahụtala amara n’ihu
eze n’ezie, ọ bụrụkwa na ọ masịrị eze imere m ihe m na-arịọ, na ime ihe m na-achọ,
ka ya na Heman sorokwa bịa echi n’oriri ọzọ m ga-akwado. Echi ka m ga-akọkwara
gị ihe niile.”

*Iwe ọkụ Heman megide Mọdekai*

9 Heman hapụrụ ebe oriri ahụ n’oke obi ụtọ. Ma mgbe ọ hụrụ Mọdekai n’ọnụ
ụzọ ama eze, hụkwa na o bilighị maọbụ maa jijiji n’ihu ya, iwe were ya nke ukwuu.
10 N’agbanyeghị nke a, Heman jisiri onwe ya ike, laa n’ụlọ ya.
Ọ kpọkọtara ndị enyi[*] ya niile na Zeresh, nwunye ya, 11 ọ nyara ha isi n’ihi oke
akụnụba ya, na ọtụtụ ụmụ ndị ikom ya, n’ụzọ niile nke eze si nye ya nsọpụrụ
ma bulikwaa ya elu karịa ndị ọzọ ọkwa ha dị elu na ndị ọrụ eze niile. 12 Heman
kwukwara sị, “Nke a abụghị dị okwu, ọ bụ naanị mụ ka Esta nwunye eze, kpọrọ ka
m soro eze bịa n’oriri nke ọ kwadooro. Echi ka ọ kpọrọ m ka m soro eze bịa. 13 Ma
ihe ndị a niile bụ ihe efu mgbe ọbụla m na-ahụ Mọdekai onye Juu ahụ ka ọ na-anọdụ
ala n’ọnụ ụzọ ama ụlọeze.”
14 Mgbe ahụ, Zeresh nwunye ya na ndị enyi ya niile, dụrụ ya ọdụ sị ya, “Ihe ị ga-
eme bụ nke a: Kwadoo osisi e ji akwụgbu mmadụ, nke ịdị elu ya ga-adị iri mita abụọ
na atọ. N’ụtụtụ echi, rịọ eze ka o nye gị ike ịkwụgbu Mọdekai n’elu ya. Mgbe e mere
nke a, ọṅụ gị ga-ezukwa oke, mgbe ị ga-esorokwa eze gaa rie oriri a kpọrọ unu.”
Okwu a masịrị Heman nke ukwuu. O nyere iwu ka a kwadoo osisi ahụ ngwangwa.

# 6

*Eze asọpụrụ Mọdekai*

1 N’abalị ahụ, ụra abịaghị eze n’anya ma ọlị. N’ihi ya, o metụrụ ya n’obi ịgụ
akwụkwọ ihe ncheta. Ya mere, o nyere iwu ka e wetara ya akwụkwọ a na-edekọta
ihe niile e mere n’oge ọchịchị ya. 2 N’ime ya, ọ gụtara ihe e dere banyere Mọdekai,

---
* **5:10** 5:10 Ndị hụrụ ya n’anya

otu o si kpughee izuzu ọjọọ Bigtan na Teresh, ndị onozi eze na-eche nche n’ọnụ ụzọ ụlọeze, gbara igbu eze Sekses.

3 Mgbe ahụ eze jụrụ ajụjụ sị, “Gịnị bụ ihe ọma e meerela Mọdekai n’ihi ihe a o mere?”

Ndị ozi ya zara, “O nwebeghị ihe ọbụla e meere ya!”

4 Eze sịrị, “Onye nọ n’ogige?” Ma Heman ka batachara na mbata ogige ụlọeze, ịgwa eze banyere mkwugbu Mọdekai n’elu osisi nke o guzobere n’ihi ya.

5 Ndị na-ejere ya ozi zara, “Heman na-eguzo n’ogige.”

Eze sịrị, “Kpọbata ya.”

6 Mgbe Heman batara, eze jụrụ ya ajụjụ sị, “Gịnị bụ ugwu m kwesiri inye onye mere ihe na-atọ m ụtọ?”

Heman chere n’ime onwe ya sị, “Oleekwanụ onye ọzọ eze ga-achọ inye ugwu karịa
mụ onwe m?” 7 Ya mere ọ zara eze, “Banyere nwoke ahụ ọ masịrị eze ịkwanyere
ugwu, 8 nye iwu ka e wepụta uwe gị, nke gị bụ eze yitụrụla, na ịnyịnya gị, nke eze
gbaarala, nke e kpukwasịrị oyiyi okpueze n’isi ya. 9 Ka enye uwe ahụ na ịnyịnya
ahụ n’aka otu onye kachasị nwee ugwu n’ime ụmụ eze, ka ha yikwasị nwoke ahụ nke eze chọrọ ịsọpụrụ uwe ahụ, ka ịnyịnya buru ya dịka ha dọkpụ ya na-ejegharị n’okporoụzọ niile n’obodo, na-ekwusa n’ihu ya na-asị, ‘Otu a ka a na-emere nwoke ahụ ọ masịrị eze inye nsọpụrụ!’ ”

10 Mgbe ahụ eze nyere Heman iwu, sị; “Ahaa! Ntụpụta gị dị mma nke ukwuu! Mee ngwangwa, were uwe ndị a, na ịnyịnya m, meekwara Mọdekai onye Juu ahụ na-anọdụ n’ọnụ ụzọ ama ụlọeze ihe niile ndị a i kwuru. Hụkwa na i mechasịrị ihe ndị a niile i kwuru.”

11 Ya mere, Heman chịịrị uwe eze ahụ yikwasị ya Mọdekai n’ahụ. O mekwara ka ọ nọdụ n’elu ịnyịnya eze. Emesịa, o duuru ya jegharịa n’akụkụ obodo ahụ niile na-eti mkpu na-asị, “Otu a ka eze ga-esi sọpụrụ nwoke ahụ ihe ya dị ya mma.”

12 Emesịa, Mọdekai lọghachiri n’ọnụ ụzọ ama eze. Ma Heman mere ngwangwa
laa n’ụlọ ya, kpuchiekwa isi ya n’iru ụjụ, 13 ọ kọọrọ Zeresh nwunye ya, na ndị enyi ya niile ihe niile nke mere ya.

Ndị ndụmọdụ ya na nwunye ya Zeresh sịrị ya, “Ebe ọ bụ na Mọdekai, onye ị bidoro
ịda n’ihu ya, bụ onye Juu, ị gaghị enwe ike emegide ya, ị ghaghị ịla n’iyi.” 14 Mgbe
ha na ya nọ na-akparịta ụka, ndị onozi eze bịaruru duru Heman ngwangwa maka ịga n’oriri ahụ Esta kwadoro.

# 7

### *Mkwụgbu Heman*

1 Eze na Heman gara iri oriri ahụ Esta nwunye eze kpọrọ ha, 2 mgbe ha nọ na-aṅụ
mmanya, n’ụbọchị nke abụọ ahụ, eze jụrụ Esta ajụjụ sị, “Gịnị bụ arịrịọ gị, Esta, eze nwanyị? Gịnị ka ị chọrọ? Ihe ọbụla ọ bụ, aga m enye gị ya, ọ bụladị otu ọkara alaeze m.”

3 N’ikpeazụ, Esta nwunye eze zara sị, “Eze biko, ọ bụrụ na m ahụtala amara n’ihu
gị, ọ bụrụkwa na ọ masịrị gị, zọpụta ndụ m na ndụ ndị m. 4 N’ihi na mụ na ndị m
abụrụla ndị erere ere n’aka ndị ga-ala anyị n’iyi. Anyị abụrụla ndị a ga-egbu, na ndị aghaghị ịla n’iyi. A sị na e rere anyị dịka ndị ohu nwoke na nwanyị, agaara m agba nkịtị, hapụ inye gị nsogbu, ma n’ihi n’ọdịghị ihe ga-akwụ ụgwọ isogbu eze.”

5 Eze, bụ Sekses, jụrụ Esta, bụ nwunye eze, “Onye ka mmadụ ahụ bụ, olee ebe ọ nọ, bụ onye na-ezube ime ihe ọjọọ dị otu a?”

6 Esta zara, “Ọ bụ onye iro na onye mmegide. Ọ bụ Heman, nwoke ọjọọ a!”

Mgbe ahụ, ụjọ dị ukwu jidere Heman n’ihu eze na nwunye eze. 7 Eze biliri ọtọ
n’iwe,[*] hapụ mmanya ya site n’ebe oriri ahụ pụọ, gaa n’ime ubi ya a gbara ogige dị
n’ụlọeze. Ma Heman nọdụrụ ịrịọ eze nwanyị, bụ Esta arịrịọ maka ndụ ya, n’ihi na
ọ maara na eze ekpebiela ịla ndụ ya n’iyi.
8 Mgbe eze sitere n’ubi a gbara ogige lọghachita n’ụlọ oriri ahụ, lee ka Heman tụrụ
onwe ya n’elu oche ahụ Esta na-adabere n’elu ya.
Eze sịrị, “Ọ chọrọ iwedakwa nwunye eze n’ala n’ihu m n’ụlọ m?”
Ngwangwa okwu a si n’ọnụ eze pụta, ha kpuchiri Heman akwa n’ihu.[†] 9 Mgbe
ahụ kwa, Habona otu n’ime ndị ozi eze gwara eze sị, “Onyenwe m, lee na Heman
enyela iwu ka a kwadoo osisi nke ịdị elu ya bụ iri mita abụọ na atọ, ebe ọ chọrọrị ịnọ
kwụgbuo Mọdekai, nwoke ahụ mere ka a ghara igbu eze. Osisi ahụ guzokwa ugbu
a n’ihu ụlọ Heman.”
Eze sịrị, “Kwụgbuonụ ya n’osisi ahụ!” 10 Ya mere, ha kwụgburu Heman n’osisi
ahụ ọ kwadoro maka Mọdekai. Iwe eze dajụkwara.

# 8

*Iwu banyere ndị Juu*

1 N’otu ụbọchị ahụ, Ahasuerọs bụ eze, nyefere Esta nwunye eze akụnụba niile[*]
Heman onye iro ndị Juu nwere. E mekwara ka Mọdekai bịa n’ihu eze, n’ihi na Esta
agwala eze na ọ bụ nwanne nna ya. 2 Mgbe ahụ, eze wepụtara ọlaaka ikike ya, nke a
gbapụtara site n’aka Heman nye ya Mọdekai. Esta mekwara Mọdekai onye nlekọta
akụnụba Heman.
3 Ọzọkwa, Esta bịara n’ihu eze daa n’ala n’ụkwụ eze rịọ ya arịrịọ n’anya mmiri ka
ọ kwụsị echiche ọjọọ ahụ Heman onye Agag, chere megide ndị Juu. 4 Eze setịpụrụ
mkpara ọlaedo ya nye Esta. Esta biliri, guzo n’ihu eze, 5 ọ sịrị, “Ọ bụrụ na ọ dị
eze mma, ọ bụrụkwa na m hụtara amara n’ihu ya, bụrụkwa ihe ziri ezi n’anya
eze, ọ bụrụkwa na ihe m masịrị ya, ka ede iwu n’akwụkwọ ịkagbu ozi Heman nwa
Hamedata, onye Agag, nke o chepụtara dee ime ka a laa ndị Juu n’iyi n’ala niile
eze na-achị. 6 N’ihi na m ga-esi an̄aa nagide ya, ịhụ ka a na-egbu ndị m, na-alakwa
ụmụnna m n’iyi?”
7 Mgbe ahụ, eze bụ Ahasuerọs gwara Esta nwunye eze na Mọdekai onye Juu okwu
sị ha, “Enyela m Esta akụnụba Heman, ha akwụgbukwaala Heman n’osisi, n’ihi na
ọ chọrọ ịla ndị Juu n’iyi. 8 Ugbu a, deenụ akwụkwọ ozi banyere ndị Juu niile, dee ihe
ọbụla dị mma n’anya unu n’aha eze. Werekwa ọlaaka ikike eze kaa ya akara, n’ihi
na ọ dịghị akwụkwọ ọbụla e dere n’aha eze, kaakwa ya akara mgbaaka eze nke a
pụrụ imegharị.”
9 Otu mgbe ahụ, akpọrọ ndị ode akwụkwọ eze. Ọ bụ n’iri abalị na atọ nke ọnwa
atọ n’afọ nke bụ ọnwa Sivan ka ihe ndị a mere. Ha dere iwu niile Mọdekai nyere
banyere ndị Juu, ndịisi ọchịchị niile na ndị ọchịchị[†] niile na-elekọta mpaghara alaeze
niile site n’India ruo Kush.[‡] Ọnụọgụgụ ha niile dị otu narị na iri abụọ na asaa (127).
E depụtasịrị iwu ahụ n’odide akwụkwọ nke ala ọbụla a na-achị achị si dị, na dịka
asụsụ ndị ọbụla si dị, ma nyekwa ndị Juu dịka odide akwụkwọ na asụsụ ha si dị.
10 Mọdekai dere akwụkwọ ahụ n’aha eze, bụ Ahasuerọs, werekwa ọlaaka ikike eze
kaa ya akara, zipụ akwụkwọ ndị a site n’aka[§] ndị ọgba ọsọ ndị ịnyịnya na-ebu, bụ
ndị na-agba ịnyịnya ụkwụ ọsọ nke e leziri anya nke ọma zụọ maka ije ozi dịrị eze.

---

[*] **7:7** 7:7 1:12 [†] **7:8** 7:8 Ị ji akwa kpukwasị mmadụ n’ihu, maọbụ iji akwa kpuchie isi mmadụ n’oge ahụ, ọkachasị ma ọ bụrụ n’ihe metụtara eze, pụtara na a maala onye dị otu a ikpe ọnwụ. [*] **8:1** 8:1 N’oge ahụ, eze alaeze ahụ, nwere ikike i were akụnụba niile onye ahụ a maara ikpe ọnwụ. [†] **8:9** 8:9 Maọbụ, ndị Gọvanọ [‡] **8:9** 8:9 Ya bụ, mgbago osimiri Naịl [§] **8:10** 8:10 Ka ha gaa kesaa n’obodo niile.

[11] Akwụkwọ nke iwu eze a, nyere ndị Juu niile nọ n'obodo ọbụla ike izukọta n'otu
maka ịzọ ndụ ha, nyekwa ha ikike ibibi, gbuo ma laa n'iyi ndị agha nke mba ọbụla,
maọbụ ala ndị ahụ a na-achị achị bụ ndị nwere ike ịla ha, ndị inyom ha na ụmụntakịrị
ha n'iyi, na ịpụnara ha akụnụba ha. [12] Ụbọchị a akara aka maka ndị Juu ime ihe
ndị a n'obodo niile n'alaeze eze Ahasuerọs bụ n'abalị iri na atọ nke ọnwa Ada.* [13] E
kwukwara n'akwụkwọ iwu ahụ na a ghaghị ịnabata iwu eze ahụ n'obodo ọbụla dị
n'alaeze ya. E kwukwara na a ga-agụpụtara ya mmadụ niile, kọwazie ya ime ka ndị
Juu niile nọdụ na njikere imeri ndị iro ha.
[14] Ndị ahụ na-agba ọsọ, bụ ndị na-ebu akwụkwọ ozi, nọkwasịrị n'elu ịnyịnya eze
mee ngwangwa pụọ, ebe iwu eze kwaliri ha. E nyekwara iwu a na Susa.

*Mmeri ndị Juu meriri*

[15] Mgbe Mọdekai si n'ihu eze pụọ, o yi uwe ndị eze nke na-acha ọcha, na nke na-
achakwa anụnụ anụnụ, kpurukwa okpueze ọlaedo dị ukwuu, na uwe mwụda e ji
ezi akwa nke na-acha odo odo dụọ n'ahụ ya. Obodo Susa tiri mkpu ṅụrịakwa ọṅụ.
[16] Nye ndị Juu n'onwe ha, ọ bụ oge ịṅụrị ọnụ, obi ụtọ na nsọpụrụ. [17] Na mpaghara
alaeze ahụ niile, na n'obodo ọbụla nke iwu eze ahụ bịaruru, e nwere ọṅụ na obi ụtọ
n'etiti ndị Juu niile, nweekwa oke oriri na ọṅụṅụ. Ọtụtụ mmadụ n'ime ndị si mba dị
iche iche ghọrọ ndị Juu, n'ihi egwu ndị Juu dakwasịrị ha.

# 9

[1] N'abalị iri na atọ nke ọnwa iri na abụọ, nke bụ ọnwa Ada, bụ ụbọchị a gaara
emezu iwu ahụ eze nyere. N'ụbọchị a, ndị iro ndị Juu lere anya na ha ga-ekpochapụ
ha. Ma ugbu a, a tụgharịala iwu ahụ, mee ya ka ọ bụrụ ihe megidere ndị ahụ
kpọrọ ndị Juu asị. [2] Ndị Juu chịkọtara onwe ha ọnụ n'obodo niile dị n'alaeze eze
Sekses, maka ịzọ ndụ ha. Ma o nweghị onye ọbụla pụrụ imegide ha, n'ihi na egwu
ha dakwasịrị ndị obodo niile dị iche iche. [3] Ndịisi ọchịchị obodo niile, ndị na-anọchite
anya eze, na ndịisi, na ndị ozi eze, nyeere ndị Juu aka, n'ihi na ha tụrụ egwu Mọdekai.
[4] N'ihi na Mọdekai bụ onye a ma ama n'ụlọeze, ọ bụkwa onye a maara aha ya
n'alaeze ahụ niile, n'ihi na ike ọchịchị ya na-abawanye ụba karịa ụbọchị niile.
[5] Nke a mere, na ndị Juu ji mma agha gbuo, ma bibie ndị iro ha niile. Ha mesoro
ndị kpọrọ ha asị mmeso ọbụla masịrị ha. [6] N'ime obodo ahụ e wusiri ike bụ Susa, ndị
Juu gburu narị ndị ikom ise laa ha n'iyi. [7] Ha gbukwara Pashandata, Dalfon, Aspata,
[8] Porata, Adalia, Aridata, [9] Pamashta, Arisai Aridai na Vaizata, [10] ha bụkwa ụmụ ndị
ikom iri Heman nwa Hamedata, onye iro ndị Juu mụtara. Ma ha emetụghị akụnụba
ha aka.
[11] N'ụbọchị ahụ, a gwara eze ọnụọgụgụ ndị e gburu n'obodo Susa. [12] Eze sịrị Esta
bụ nwunye eze, "Ndị Juu egbuola narị mmadụ ise n'obodo Susa, gbukwaa ụmụ ndị
ikom Heman iri. Ebe ha mere otu a n'ebe a, onye ma ihe ha mere n'obodo dị iche
iche n'alaeze m? Ugbu a, gịnị ọzọ bụ arịrịọ gị? A ga-emezuru gị ya. Gịnị ọzọ bụ ihe
ị chọrọ? A ga-emekwa ya."
[13] Esta sịrị, "Ọ bụrụ na ọ dị eze mma, ka ndị Juu bi na Susa meekwa ihe ha mere
taa echi, ka a kwụbakwa ụmụ ndị ikom iri Heman n'elu osisi."
[14] Ya mere, eze kwenyere, a kụkwara ya dịka ekwe na Susa, a kwụbara ụmụ iri
Heman n'elu osisi. [15] Ndị Juu bi na Susa chịkọtakwara onwe ha ọnụ n'ụbọchị iri
na anọ nke ọnwa Ada, gbuo narị mmadụ atọ ọzọ n'obodo Susa. Ma ha emetụghị
akụnụba ndị ahụ aka.
[16] Ma ndị Juu ndị ọzọ bi n'obodo ndị ọzọ dị iche iche eze na-achị, jikọtakwara onwe
ha ọnụ ịzọ ndụ ha, site otu a nwere onwe ha pụọ n'aka ndị iro ha. Ha gburu iri puku
mmadụ asaa na ise bụ ndị kpọrọ ha asị, ma ha emetụghị akụnụba ha aka. [17] E mere

* **8:12** 8:12 Ọnwa nke iri na abụọ

ihe ndị a n’abalị iri na atọ nke ọnwa Ada,* ha zukwara ike n’ụbọchị so ya bụ abalị
iri na anọ. Ha mere ụbọchị ahụ, ụbọchị ọṅụ na nke oriri na ọṅụṅụ.
18 Ma ndị Juu nọ na Susa zukọtara n’ụbọchị nke iri na atọ, na n’ụbọchị nke iri na
anọ. Emesịa, n’ụbọchị nke iri na ise ha zuru ike, mekwa ya ụbọchị ọṅụ na nke oriri
na ọṅụṅụ.
19 Ọ bụ nke a mere ndị Juu niile bi n’ime ime obodo ji eme mmemme ọṅụ na nke
oriri na ọṅụṅụ n’abalị iri na anọ nke ọnwa iri na abụọ nke afọ ọbụla. Ha mere
ụbọchị ahụ ka ọ bụrụkwa ụbọchị inyerịta onyinye.

*Mmemme Purim*
20 Emesịa, Mọdekai dere ihe ndị a niile n’akwụkwọ, zigakwara ndị Juu niile nọ
n’okpuru ọchịchị eze Sekses, ma ndị nọ nso ma ndị nọ n’ebe dị anya, 21 ka ha na-eme
mmemme a kwa afọ n’ụbọchị nke iri na anọ na nke iri na ise nke ọnwa Ada ọbụla.
22 Nke a bụ iji gosi mgbe ndị Juu nweere onwe ha site n’aka ndị iro ha, na iji cheta
mgbe iru ụjụ ha ghọrọ ọṅụ, na mgbe ịkwa akwa ha ghọrọ ụbọchị mmemme ọṅụ. O
deere ha ka ha debe ụbọchị ndị a dịka ụbọchị mmemme ọṅụ na oriri na ọṅụṅụ, na
inyerịta onwe ha onyinye ihe oriri na inye ụmụ ogbenye onyinye dị iche iche.†
23 Ya mere, ndị Juu kwenyere ịga n’ihu ime mmemme a nke ha malitere ime, dịka
Mọdekai si deere ha ya, 24 n’ihi na Heman nwa Hamedata, onye Agag, onye iro ndị
Juu niile, kpebiri ịla ha n’iyi n’ụbọchị ahụ ọ tụpụtara site n’ife nza. 25 Mgbe izu
ọjọọ a ruru eze ntị, o nyere iwu nke e debanyere n’akwụkwọ sị, ka echiche ọjọọ
nke Heman megide ndị Juu tụgharịa n’isi ya, ọ kwukwara ka akwụgbuo ya na ụmụ
ndị ikom niile n’elu osisi. 26 Ya mere, a kpọrọ ụbọchị ndị ahụ Purim nke sitere na
mkpụrụ okwu Pur. N’ihi ihe niile e dere n’akwụkwọ ahụ na nke ha hụkwara na nke
mekwaara ha. 27 Ndị Juu niile kwekọrịtara idebe mmemme a, na imekwa ka ụmụ ha,
na ndị niile kwenyere iso ha, na-emekwa ya. Ha kpebiri na ha ga-edebe ụbọchị abụọ
ndị ahụ kwa afọ, n’ụzọ nakwa oge e zubere ka ọ bụrụ. 28 Aga na-echeta ụbọchị ndị
a, na-eme kwa ya n’ọgbọ niile ọbụla, n’ezinaụlọ ọbụla, n’ala ọbụla a na-achị nakwa
obodo ọbụla. Ndị Juu aghaghị idebe mmemme ụbọchị Purim, ma ọ bụkwanụ ncheta
ụbọchị ndị a apụọ n’obi ọgbọ ha niile.
29 N’oge a, Esta nwunye eze, nwa Abihail, na Mọdekai onye Juu jikọtara aka dee
akwụkwọ ọzọ nke e ji mesie akwụkwọ ahụ Mọdekai dere ike, maka ịmalite mmemme
Purim. 30 Mọdekai zipụrụ akwụkwọ ozi nke okwu udo na eziokwu‡ dị n’ime ya, nye
ndị Juu niile bi n’ime mpaghara alaeze Sekses, nke dị otu narị na iri abụọ na asaa
(127). 31 E ji akwụkwọ a mesie okwu ahụ ike na a ga-edebe ụbọchị ndị ahụ kwa afọ
maka mmemme Purim dịka Mọdekai onye Juu na Esta nwunye eze nyere n’iwu. Ndị
Juu niile na ụmụ ụmụ ha ga-eme mmemme a n’oge a kara aka, dịka ha si edebe iwu
ndị ọzọ metụtara oge ibu ọnụ na oge iru ụjụ. 32 Iwu a Esta nyere mesịrị ụkpụrụ
mmemme Purim ike. E dekwara ya n’akwụkwọ.

# 10

*Ịdị ukwuu nke Mọdekai*
1 Eze bụ Ahasuerọs na-anakọta ụtụ site n’aka ndị niile bi n’alaeze ya tutu ruo n’ọnụ
mmiri osimiri ebe alaeze ahụ sọtụrụ. 2 Ma ọrụ ukwu na ọrụ niile ọ rụrụ, ya na ihe
niile gbasara ịdị ukwuu nke Mọdekai, na ugwu niile eze nyere ya, ha niile ka e dere
n’ime akwụkwọ akụkọ ihe ndị eze Midia na Peshịa mere n’oge ọchịchị ha. 3 Mọdekai,
onye Juu, bụ onye na-esote eze Ahasuerọs n’ọkwa. Ọ bụ onye dị ukwuu n’etiti ndị
Juu, na onye ndị Juu ibe ya na-asọpụkwara, n’ihi na ọ na-elenye anya n’ihe gbasara

* **9:17** 9:17 Maọbụ, ọnwa iri na abụọ † **9:22** 9:22 Abụ 30:11 ‡ **9:30** 9:30 Maọbụ, ịgbaume

udo ndị Juu. Ọ bụkwa onye na-ekwuchite ọnụ n'ihe banyere ọdịmma nke ndị Juu niile.

# Job

*Okwu mmalite*

1 Otu nwoke aha ya bụ Job bi n’obodo Uz.* Nwoke a bụ Job bụ onye na-enweghị ịta
ụta ọbụla, bụrụkwa onye ezi omume nke na-atụ egwu Chineke ma na-agbara mmehie
ọsọ. 2 Ọ mụrụ ụmụ ndị ikom asaa na ụmụ agbọghọ atọ. 3 O nwere puku atụrụ asaa,
na puku ịnyịnya kamel atọ, na ehi ọnụọgụgụ ha dị otu puku e jikọrọ abụọ abụọ, na
narị ịnyịnya ibu ise, na ọtụtụ ndị na-ejere ya ozi. Ọ bụ nwoke dị ukwuu karịa ndị
niile bi n’ọwụwa anyanwụ.
4 Ụmụ ya ndị ikom na-eme mmemme oriri na ọṅụṅụ n’ụbọchị ọmụmụ ha n’ụlọ ha,
nke ọbụla n’ime ya n’usoro. Mgbe ha na-eme nke a, ha na-akpọkwa ụmụnne ha ndị
nwanyị atọ ka ha bịa soro ha rie ma ṅụkwaa. 5 Mgbe oge mmemme ndị ahụ gwụsịrị,
Job na-akpọkọta ụmụ ya doo ha nsọ. N’isi ụtụtụ ya, ọ na-achụ aja† nsure ọkụ n’ihi
onye ọbụla n’etiti ụmụ ya. Echiche ya bụ, “Ma eleghị anya, ụmụ ya emehiela kọchaa
Chineke n’ime obi ha.” Nke a bụ ihe Job na-eme mgbe niile.

*Ọnwụnwa mbụ bịakwasịrị Job*

6 Otu ụbọchị ụmụ Chineke bịara igosi onwe ha n’ihu ONYENWE ANYỊ ma ekwensu
sonyekwara ha bịa. 7 ONYENWE ANYỊ sịrị Ekwensu, “Ebee ka i si abịa?”
Ekwensu zara ONYENWE ANYỊ, “Site n’ịwagharị n’ụwa na site n’ịgagharị ihu na azụ
n’ime ya.”
8 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị Ekwensu, “I leziela ohu m nwoke Job anya? Ọ dịghị
onye ọzọ nọ n’ụwa nke dịka ya. Ọ bụ nwoke zuruoke, onye na-emekwa ihe ziri ezi.
Ọ bụ onye na-atụ egwu Chineke, na-adịghị etinye aka ya n’ihe ọjọọ ọbụla.”
9 Ekwensu zara ONYENWE ANYỊ sị, “Job ọ na-atụ Chineke egwu n’efu? 10 Ọ bụ na ị
gbaghị Job na ezinaụlọ ya na ihe niile o nwere ogige gburugburu n’akụkụ niile? I
gọziela ọrụ aka ya, nke mere na igwe ewu na atụrụ ya na igwe ehi ya jupụtara ebe
niile. 11 Ngwa, setịpụ aka gị metụ ihe niile o nwere aka, ka ị hụ ma ọ gaghị abụ gị
ọnụ.”
12 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ zara ekwensu sị ya, “Lee Job, jiri niile o nwere mee
ihe ọbụla ị chọrọ, kama emetụkwala ndụ ya aka.”
Emesịa, ekwensu sitere n’ihu ONYENWE ANYỊ pụọ.
13 Otu ụbọchị, mgbe ụmụ Job ndị nwoke na ụmụnne ya ndị nwanyị zukọrọ iri ihe
oriri na ịṅụ ihe ọṅụṅụ n’ụlọ nwanne ha nwoke nke okenye. 14 Otu onye n’ime ndị
na-eje ozi bịakwutere Job sị, “Mgbe ehi anyị na-akọ ọrụ na mgbe ịnyịnya ibu anyị
na-ata nri n’ebe dị nso, 15 ndị Sheba‡ bịara lụsoo anyị ọgụ ma chịkọrọ ha laa. Ha ji
mma agha gbuo ndị ọhụ gị, maọbụ naanị m bụ onye gbapụtara ịgwa gị.”
16 Mgbe ọ ka kpụ okwu n’ọnụ, onyeozi ọzọ gbabatara kwuo sị, “Ọkụ Chineke zitere
sitere na mbara eluigwe daa rechapụ igwe atụrụ na ndị ohu niile. Ọ bụ naanị m bụ
onye gbapụtara ịgwa gị ihe mere.”
17 Mgbe onye nke ahụ nọ na-ekwu okwu, onyeozi ọzọ batara kwuokwa sị, “Ndị agha
ndị Kaldịa§ kere onwe ha ụzọ atọ bịakwasị ịnyịnya kamel gị niile, dọta ha n’agha,

* **1:1** 1:1 Job abụghị onye Izrel, kama ọ bụ onye Uz, obodo dị n’akụkụ ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan. Jer 25:20
† **1:5** 1:5 Onyeisi ezinaụlọ ọbụla na-arụ ọrụ dị ka onye nchụaja nye ezinaụlọ ya, tupu Onyenwe anyị e nye Mosis iwu banyere ihe ndị a.
‡ **1:15** 1:15 Ha bụ ndị na-agagharị site n’otu ebe gaa ebe ọzọ na-azụ ụmụ anụmanụ. Ebe obibi ha bụ na ndịda Arebịa.
§ **1:17** 1:17 Ha bụ ndị na-ebi n’ọzara Mesopotamịa, na-agagharị ịzụ ụmụ anụmanụ, ma mesie bụrụ ndị biiri n’ala Babilọn mee ka ọ ghọọ alaeze.

kpụrụ ha laa. Ha ji mma agha gbuo ndị ohu gị niile gbalaa. Ọ bụ naanị m bụ onye
gbapụtara ịgwa gị ihe mere.”
18 Mgbe ọ kpụ okwu ya n’ọnụ, onyeozi ọzọ batakwara kwuo sị, “Ụmụ gị ndị ikom
na ndị inyom nọ n’ụlọ nwanne ha nke okenye na-eri na-aṅụ, 19 na mberede, oke ifufe
dị ukwuu nke si n’ọzara feere tie akụkụ anọ nke ụlọ ahụ, mee ka ọ dakwasị ha. Ha
niile nwụrụ, ma ọ bụkwa naanị m gbapụtara ịgwa gị ihe mere.”
20 Mgbe Job nụrụ ihe ndị a, o sitere n’ebe ọ nọ bilie ọtọ, dọwaa uwe ya, kpụchaa
agịrị isi ya, ọ dara n’ala ma kpọọ isiala, 21 kwuo sị:
“Ọtọ ka m gba mgbe m si n’afọ nne m pụta
n’ọnọdụ ịgba ọtọ ka m ga-eji laghachikwa.
ONYENWE ANYỊ nyere ihe niile, ONYENWE ANYỊ ewerekwala ihe niile,
ka aha ONYENWE ANYỊ bụrụ ihe a gọziri agọzi.”
22 N’ime ihe ndị a niile, Job emehieghị site n’ibo Chineke ebubo ime ihe ọjọọ.

# 2

*Ọnwụnwa nke abụọ*

1 Ụbọchị ọzọkwa, ụmụ Chineke bịakwara igosi onwe ha n’ihu ONYENWE ANYỊ.
Ekwensu sonyekwaara ha ọzọ bịakwa igosi onwe ya n’ihu ya. 2 Mgbe ahụ, ONYENWE
ANYỊ jụkwara ekwensu ajụjụ sị, “Ebee ka i si abịa?”
Ekwensu zara ONYENWE ANYỊ, “Site n’ịwagharị n’ụwa na site n’ịgagharị ihu na azụ
n’ime ya.”
3 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị ekwensu, “I leziela ohu m nwoke Job anya? Ọ dịghị
onye ọzọ dị n’ụwa nke dịka ya. Ọ bụ nwoke zuruoke, onye na-emekwa ihe ziri ezi.
Ọ bụ onye na-atụ egwu Chineke, na-adịghị etinye aka ya n’ihe ọjọọ ọbụla. Ọ ka
jidekwara izuoke ya, n’agbanyeghị na ị kpaliri m imegide ya ka m laa ya n’iyi mgbe
ọ na-adịghị ihe o mere.”
4 Ekwensu zaghachiri ONYENWE ANYỊ, “Akpụkpọ anụ ahụ lara akpụkpọ anụ ahụ;
mmadụ ga-enye ihe niile o nwere n’ọnọdụ ndụ ya. 5 Setịpụ aka gị metụ akpụkpọ anụ
ahụ ya na ọkpụkpụ ya, ọ ghakwaghị ị bụ gị ọnụ n’ihu gị.”
6 ONYENWE ANYỊ sịrị ekwensu, “Lee, ọ nọ n’aka gị. Kama ị ghaghị idebe ndụ ya.”
7 Mgbe ahụ, ekwensu sitere n’ihu ONYENWE ANYỊ pụọ. O were ọnya ọjọọ na-egbu
mgbu tie Job, site n’ọbọ ụkwụ ya ruo n’opi isi ya. 8 Job tụtụụrụ mpekele ite wara
awa, jiri ya na-akọ onwe ya ọkọ n’ahụ, ma dinara n’ebe e kpokọtara ntụ.
9 Nwunye ya sịrị ya, “Ị ka na-eguzo n’izuoke gị? Bụọ Chineke ọnụ, nwụọ.”
10 Ma ọ zara, “Ị na-ekwu okwu dịka otu n’ime ndị inyom nzuzu. Anyị ga-anata ihe
ọma site n’aka Chineke, hapụ ịnata ihe ọjọọ?”
Ma n’ime nsogbu a niile, Job emehieghị site n’ikwu okwu ọjọọ ọbụla.

*Ndị enyi Job atọ*

11 Mgbe ndị enyi Job atọ, Elifaz* onye Teman, Bildad onye Shua na Zofa onye Neama,
nụrụ banyere nsogbu niile dakwasịrị ya, ha biliri ije site n’ụlọ ha, ha zukọtara site
na nkwekọrịta ịga nọnyere ya na ịkasị ya obi. 12 Mgbe ha hụrụ ya site n’ebe dị anya,
ha amataghị ya, ha weliri olu bido iti mkpu akwa, dọkaa uwe ha yi n’ahụ ha, kporo
aja kpokwasị onwe ha n’isi. 13 Ha sooro Job nọdụ n’ala ụbọchị asaa, ehihie na abalị.
Ọ dịghị onye gwara ya okwu n’ihi na ha hụrụ otu ihe mgbu ya si dị ukwuu.

# 3

*Okwu Job*

* **2:11** 2:11 Ọ bụ onye si n’agbụrụ Edọm, n’obodo Teman.

[1] N'ikpeazụ, onye kwuru okwu bụ Job n'onwe ya. O kwuru okwu bụọ ụbọchị a
mụrụ ya ọnụ. [2] Job sịrị:
[3] "Ka ụbọchị ahụ amụrụ m bụrụ ụbọchị lara n'iyi;
ya na abalị ahụ e kwuru sị, 'Atụrụ ime nwa nwoke.'
[4] Ụbọchị ahụ, ka ọ ghọọ ọchịchịrị:
ka Chineke site n'elu ghara ịjụ ase ya;
ka ìhè gharakwa ịmụkwasị ya.
[5] Ka ọchịchịrị na onyinyo ọnwụ gbara ụbọchị ahụ dịka ụbọchị nke aka ya,
ka igwe ojii kpuchigidekwa ya,
ka ọchịchịrị kpuchie ya n'ebe ọ dị ukwuu.
[6] Abalị ahụ, ka oke ọchịchịrị kpuchie ya,
ka a kachapụ ya, ka ọ hapụ ịbụkwa ụbọchị a ga-agụkọ ya na ụbọchị ndị ọzọ n'afọ,
ka ọ ghara dịka otu ụbọchị nke na-adị n'ọnwa.
[7] Ka abalị ụbọchị ahụ bụrụ ụbọchị tọgbọrọ n'efu,
ka a ghara ịnụ mkpu ọṅụ ọbụla n'ime ya.
[8] Ka ndị ahụ na-abụ ụbọchị ọnụ bụọ ụbọchị ahụ ọnụ,
bụ ndị ahụ jikeere ịkpọte Leviatan.*
[9] Ka kpakpando ụtụtụ ya gbaa ọchịchịrị,
ka o lee anya ìhè na-efu,
ka ọ ghara ihu mgbubere anya nke chi ọbụbọ,
[10] n'ihi na o mechighị akpanwa nne m,
i zonarịkwa anya m nsogbu.

[11] "Gịnị mere m ji hapụ ịnwụ mgbe ahụ nne m mụpụtara m,
kubie ume mgbe m si n'ime akpanwa pụta?
[12] Gịnị mere ikpere ji dịrị ịnabata m?
Gịnị mere ara ji dịrị i ji zụọ m?
[13] N'ihi na ugbu a, agara m idina n'udo;
agaara m anọ n'ụra na izuike,
[14] mụ na ndị eze na ndị ọchịchị nke ụwa,
ndị rụkwaara onwe ha ebe obibi dị iche iche nke tọgbọọrọ n'efu ugbu a,
[15] mụ na ụmụ ndị ikom eze, ndị nwere ọlaedo,
ndị jikwa ọlaọcha kpojuo ụlọ ha.
[16] Ọ bụ gịnị mere e zofughị m n'ala dịka nwantakịrị a mụkworo amụkwo,
dịka nwa ọhụrụ nke na-ahụghị ìhè nke ụbọchị anya?
[17] N'ebe ahụ ka ndị na-emebi iwu na-akwụsị iweta ọgbaaghara,
n'ebe ahụ ka ndị ike gwụrụ na-ezu ike.
[18] Ebe ahụ ka ndị nọ n'agbụ na-enwere onwe ha,
ha adịghị anụkwa ịba mba nke ndị na-eji aka ike achị ha.
[19] Ebe ahụ ka ndị ukwu na ndị nta nọ;
ebe ahụ kwa ka ohu na-enwere onwe ya kpamkpam site n'aka onye nwe ya.

[20] "N'ihi gịnị ka e ji enye ndị nọ n'ọnọdụ nhụju anya ìhè?
Gịnị bụ uru ndụ nye onye mkpụrụobi ya jupụtara n'ihe ilu?
[21] Gịnị bụ uru ya nye ndị na-echere ọnwụ ma ọ dịghị abịa,
ee, ndị na-achọsi ọnwụ ike karịa akụ e zoro ezo,
[22] ndị jupụtara n'ọṅụ,
na-aṅụrị ọṅụ mgbe ha rịdaruru n'ili?

* **3:8** 3:8 Anụ ọjọọ dị ukwuu bi n'osimiri

23 Gịnị mere e ji enye mmadụ ndụ;
bụ onye ahụ ụzọ ya zoro ezo,
onye Chineke mechibidoro ụzọ?
24 N'ihi na ịma ọsụ aghọọla ihe oriri m kwa ụbọchị;
ịsụ ude m na-awụpụtakwa dịka mmiri.
25 Ihe m tụrụ egwu ya abịakwasịla m,
ihe m tụrụ ụjọ ya bụ ihe bịakwasịrị m.
26 Enweghị m udo, anọkwaghị m jụụ,
enweghị m izuike, naanị ọgbaaghara."

# 4

*Okwu Elifaz*

1 Mgbe ahụ, Elifaz onye obodo Teman zara Job sị:
2 "Iwe ọ ga-ewe gị ma ọ bụrụ na mmadụ agwa gị okwu?
Onye kwanụ nwere ike ịnọ n'ebe a hapụ ikwu okwu?
3 Lee ka i siri nye ọtụtụ mmadụ ndụmọdụ,
na ka i si mee ka ndị na-ada mba nwee ume.
4 Okwu ọnụ gị abụrụla ihe ịgbaume nye ọtụtụ mmadụ,
ị bụrụla ịgbaume nye ndị ikpere ha na-ama jijiji.
5 Ma leenụ ugbu a, nsogbu abịakwasịla gị, ị bụrụla onye na-ada mba;
nsogbu etiela gị aka, i na-ama jijiji.
6 Egwu ị na-atụ Chineke ọ gaghị abụ ihe ịgbaume nye gị,
izi ezi nke ndụ gị abụrụkwa olileanya gị?

7 "Chee echiche ugbu a! Onye, bụ onye aka ya dị ọcha, nke a larala n'iyi?
Ebee ka i hụrụ ka e bibiri ndị na-eme ihe ziri ezi?
8 Dịka m si hụ ya, ndị na-agha ajọ ihe dịka mkpụrụ na ndị na-akụ okwu na ụka
na-aghọta ya dịka ihe ubi.
9 Chineke na-ala ha n'iyi site n'ume ọ na-ekupụta.
Ọ na-esitekwa n'oke iwe ya repịa ha.
10 Ọdụm nwere ike gbọọ ụja, maọbụ bigbọọ,
ma eze ọdụm dị ike ka a gbajisiri.
11 Oke ọdụm na-ala n'iyi site na-enweghị ihe ọ dọgbutara,
ụmụ nne ọdụm niile ka a na-achụsa.

12 "E mere ka okwu rute m n'ụzọ nzuzo,
ntị m nụrụ ya n'ịgba izu.
13 N'ime nkụja nke oke nrọ nke abalị,
mgbe oke ụra na-adakwasị ụmụ mmadụ,
14 oke ụjọ na ahụ ịma jijiji dakwasịrị m,
meekwa ka ọkpụkpụ niile dị n'ahụ m maa jijiji.
15 Otu mmụọ sitere n'ihu m gafee.
Ọ bụladị ajị dị m n'ahụ guzochara ọtọ n'ihi ụjọ.
16 Ọ kwụsịrị;
ma apụghị m ịkọ ihe ọ bụ.
Onyinyo guzooro n'anya m,
anụrụ m olu dị nro, nke kwuru sị:
17 'Mmadụ efu ọ nwere ike bụrụ onye ezi omume karịa Chineke?
Ọ bụladị nwoke dị ike, ọ pụrụ ịdị ọcha n'obi karịa Onye kere ya?
18 Ọ bụrụ na Chineke adịghị atụkwasị ndị ozi ya obi,

ọ bụrụ na ọ na-ebo ndị mmụọ ozi ya ebubo imejọ ihe,
19 ọ ga-esi aṅaa ghara ibo ndị bi n’ụlọ ụrọ ebubo karịa,
bụ ndị ntọala ha dị n’aja,
ndị nke a na-azọpịa ngwangwa dịka nla.
20 Site n’ụtụtụ ruo n’anyasị, a na-etipịasị ha:
ha na-ala n’iyi ruo mgbe ebighị ebi, ihe niile a na-agakwa dịka o si aga.
21 Ọ bụ na-eholiteghị eriri ụlọ ikwu ha elu,
mee ka ha nwụọ na-enweghị amamihe?’

# 5

1 “Kpọọ oku ma ị chọọ, ma onyekwanụ ga-aza gị?
Ole ndị dị nsọ ị ga-agbakwuru?
2 Oke iwe na-egbu onye nzuzu,
ekworo na-egbu onye na-enweghị uche.
3 Mụ onwe m ahụla onye nzuzu ka ọ na-agba mgbọrọgwụ,
mana mberede, abụrụ ụlọ ya ọnụ.
4 Ụmụ ya na-anọpụ anya site n’ebe nchebe dị,
a na-azọpịa ha n’ọnụ ụzọ ama, ọ dịkwaghị onye na-anapụta ha.
5 Onye agụụ na-agụ na-eripịa ihe o wetara n’ubi;
ọ na-ewere ihe ubi ndị a ọ bụladị site n’etiti ogwu;
akụnụba ya ka onye akpịrị na-akpọ nkụ ga-achụso.
6 N’ihi na ọnọdụ ọjọọ adịghị esite n’ala pupụta,
ma ọ bụkwanụ nsogbu adịghịkwa esite n’ala walite.
7 Kama, a mụrụ mmadụ nye nsogbu,*
dịka ire ọkụ si esite n’ọkụ a kwanyere na-amali elu.

8 “Ma ọ bụrụ na m bụ gị, m ga-ekpesara Chineke;
ya ka m ga-akọsara ihe niile.
9 N’ihi na Chineke na-arụ ọrụ ịtụnanya karịrị nghọta,
ọrụ ebube nke a na-apụghị ịgụta ọnụ.
10 Ọ bụ ya na-enye elu ụwa mmiri ozuzo,
ma na-ezigakwa mmiri n’ubi niile.
11 Ọ na-ebuli ndị dị ala elu,
na-emekwa ka ndị na-eru ụjụ nọ n’ebe a na-echebe ha.
12 Ọ na-emebi nzube niile nke ndị aghụghọ,
ka aka ha ghara imezu ihe ha zubere.
13 Ọ na-ejide ndị oke amamihe n’aghụghọ ha niile,
mee ka atụmatụ ndị aghụghọ bụrụ ihe e kpochapụrụ.
14 Ọchịchịrị na-abịakwasị ha n’oge ehihie,
n’etiti ehihie ha na-asọ ìsì dịka ndị nọ n’ọchịchịrị nke abalị;
15 Ọ na-azọpụta ndị mkpa na-akpa, site na mma agha dị ha n’ọnụ,
ọ na-anapụtakwa ha site n’aka ndị dị ike.
16 Ya mere, ndị ogbenye na-enwe olileanya,
ikpe ezighị ezi na-emechikwa ọnụ ya.

17 “Ngọzị na-adịrị mmadụ ahụ Chineke na-adọ aka na ntị;
ya mere, ajụla ịdọ aka na ntị nke Onye pụrụ ime ihe niile.
18 N’ihi na ọ na-etihịa mmadụ ahụ ma na-ekechikwa ọnya ha;

* **5:7** 5:7 14:1

Ọ na-eti mmadụ ihe, ma aka ya na-agwọkwa.
19 Ọ ga-anapụta gị site n'ụzọ nsogbu isii,
mee ka ihe ọjọọ hapụ irute gị na nsogbu nke asaa.
20 Ọ ga-echebe gị ka ị hapụ ịnwụ n'oge ụnwụ;
chebekwa gị ka mma agha hapụ ịmetụ gị n'oge agha.
21 Ị ga-abụ onye a na-echebe site na nkwutọ nke ire ndị ga-ekwutọ gị.
Ị gaghị atụkwa egwu mgbe mbibi bịara.
22 Ị ga-achị ọchị n'oge ụnwụ na n'oge mbibi,
ị gaghị atụkwa egwu ajọ anụ ọhịa dị iche iche.
23 N'ihi na gị na nkume niile dị n'ọhịa ga-agba ndụ,
gị na anụ ọhịa ga-anọkwa n'udo.
24 Ị ga-amata na ụlọ ikwu gị dị n'udo;
ị ga-agụkọ ihe niile i nwere chọpụta na o nweghị nke na-efu efu.
25 Ị ga-amata na ụmụ gị ga-adị ọtụtụ,
matakwa na ụmụ ụmụ gị dị ukwuu n'ọnụọgụgụ dịka ahịhịa dị n'ala.
26 Ị ga-aba n'ili gị mgbe i mere nnọọ ezigbo agadi,
dịka ọka a ghọrọ mgbe oge ya ruru.

27 "Anyị enyochaala ihe a, hụ na ọ bụ eziokwu.
Ya mere nụrụ ya, ma jiri ya rụọ ọrụ na ndụ gị."

# 6

*Okwu Job*

1 Mgbe ahụ, Job zara sị:
2 "A sịkwarị na a pụrụ ịtụ ihe mgbu m
ya na nhụju anya m niile n'elu n'ihe ọtụtụ!
3 Ọ ghaghị ịdị arọ karịa aja dị n'ọnụ mmiri ọtụtụ osimiri,
nke mere okwu m ji ada ike ike.
4 Àkụ Onye pụrụ ime ihe niile gbara dị n'ime m;
mmụọ m na-aṅụkwa nsi dị na ha;
ihe egwu Chineke edoola onwe ha n'usoro imegide m.
5 Ịnyịnya ibu ọhịa ọ na-akwa akwa mgbe o nwere ahịhịa ọ na-ata,
ka oke ehi ọ na-akwa akwa mgbe ihe oriri ya dị?
6 A na-eri nri na-adịghị ụtọ ma e etinyeghị ya nnu,
ka o nwere ụtọ dị na eso ọkwụrụ?
7 A jụrụ m ịmetụ ya aka,
n'ihi na nri dị otu a na-eme ka m daa ọrịa.

8 "O, asị nnọọ na a ga-emere m ihe m na-arịọ,
na Chineke ga-enye m ihe m na-atụ anya ya.
9 Ọbụladị ka Chineke kwe igwepịa m
ka ọ tọpụ aka ya, bipụ ndụ m.
10 Mgbe ahụ, aga m enwe nkasiobi a,
wụlikwaa elu* n'ime ihe mgbu na-adịgide,
na o nwebeghị oge ọbụla m gọnarịrị okwu nke Onye ahụ dị nsọ.

11 "Ike gịnị ka m nwere, na m ga-anọgide na-enwe olileanya ndụ?
Ọganihu gịnị dị, na m na-anọgide na-enwe ndidi?

* **6:10** 6:10 Maọbụ, nwekwa ọṅụ

12 Ọ ga-abụ na m nwere ike nkume?
Ka anụ ahụ m ọ bụ bronz?
13 Ọ ga-abụ na m nwere ike inyere onwe m aka,
ugbu a, e siterela n'ebe m nọ wezuga nzube?

14 “Onye ọbụla n'ejichi ebere site n'ebe enyi ya nọ
na-agbakụta egwu Onye pụrụ ime ihe niile azụ.
15 Ma ụmụnna m bụ ndị a na-ekwesighị ịdabere na ha,
dịka iyi mmiri na-akọ, dịka iyi nke na-etofe ọnụ ya,
16 nke na-eji ojii n'ihi mkpụrụ mmiri oyi,
nke unyi jupụtara n'ihi mgbaze nke mkpụrụ mmiri oyi.
17 Nke na-akwụsị ịsọpụta n'oge ọkọchị,
nke na-ata ata n'ihi okpomọkụ.
18 Ndị ije na-atụgharị site n'okporoụzọ ije ha.
Ha na-arịgo n'ala akọrọ si otu a laa n'iyi.
19 Ndị ije si Tema na-ele anya mmiri,
otu a kwa ndị ahịa Sheba na-ele anya n'olileanya.
20 Obi mgbu na-ejide ha n'ihi na ha nwere ntụkwasị obi,
ha bịarutere ebe ahụ, bụrụ ndị emenyere ihere.
21 Ma ugbu a, unu egosila na unu abaghị uru,
unu ahụla ihe na-eyi egwu ma ụjọ ejidela unu.
22 O nweela mgbe m sịrị unu, ‘Nyenụ ihe ọbụla n'ọnọdụ m,
sitenụ n'akụnụba unu kwụọ ụgwọ ịgbapụta m,
23 gbapụtanụ m n'aka ndị iro,
maọbụ napụtanụ m n'aka ndị na-enweghị obi ebere'?

24 “Zienụ m ihe ga-eme ka m mechie ọnụ,
gosi m ebe m si mejọọ.
25 Eziokwu na-egbu mgbu n'obi!
Ma gịnị ka ịrụ ụka unu na-ewepụta?
26 Ị chọrọ idozi okwu ọnụ m?
Si otu a mee ka okwu onye ike gwụrụ ghọọ ikuku efu?
27 Unu nwere ike ife nza n'isi onye na-enweghị nna,
ma refukwaa enyi unu.

28 “Lezie m anya nke ọma,
ọ dị unu ka m nwere ike ilegide unu anya gwa unu okwu ụgha?
29 Kwụsịnụ ihe unu na-eme. Unu abụla ndị na-eme ihe na-ezighị ezi,
tuleenụ ihe unu na-eme, n'ihi na ezi omume m ka guzosiri ike.
30 Ọ dị ihe ọjọọ si n'egbugbere ọnụ m abụọ pụta?
Ọ bụ na ọnụ m apụghị ịchọpụta nzube iro?

# 7

1 “Ndụ mmadụ n'ụwa ọ bụghị ọgụ na mgba?
Ụbọchị ya ọ dịghị ka ụbọchị onye e goro ọrụ?
2 Dịka ọhụ na-eche mgbe anyanwụ ga-ada,
maọbụ dịka onye e goro ọrụ si ele anya ụgwọ ọrụ ya,
3 otu a ka e si kenye m ọtụtụ ọnwa nke obi ụtọ na-adịghị n'ime ya,
nakwa abalị nhụju anya dị n'ime ya.

4 Mgbe m na-edina ala, ana m asị, ‘Olee mgbe m ga-ebili?’
Abalị na-eseti onwe ya, n’ihi ya, m na-anọ na-atụgharị onwe m tutu chi abọọ.
5 Lee na anụ ahụ m jupụtara n’ikpuru, na akpụkpọ;
anụ ahụ m etiwasịala jupụta n’ọnya.

6 “Ụbọchị nke ndụ m na-agabiga ngwangwa karịa ihe eji akpa akwa nke ọkpa akwa,
ha na-agwụcha na-enweghị olileanya ọbụla.
7 O Chineke cheta na ndụ m bụ naanị otu nkuume;
anya m abụọ agaghị ahụkwa ọṅụ ọzọ.
8 Anya na-ahụ m ugbu a agaghị ahụkwa m ọzọ;
unu ga-achọ m ma unu agaghị a hụ m ọzọ.
9 Dịka igwe ojii si efefusi ma na-agbasa,
otu a ka ọ dịrị onye na-arịda n’ime ili ọ naghị arịpụtakwa.
10 E, ọ naghị alọghachikwa n’ụlọ ya ọzọ;
ebe ya agaghị amakwa ya ọzọ.

11 “Ya mere agaghị m emechi ọnụ;
aga m ekwupụta n’ihi ihe mgbu dị m n’ime mmụọ.
Aga m eme mkpesa n’ihi ihe ilu dị m n’obi.
12 A bụ m oke osimiri, maọbụ anụ ukwu dị n’ogbu osimiri,
nke mere i ji eche m nche?
13 Mgbe m chere na ihe ndina m ga-akasị m obi,
maọbụ na oche izuike m ga-ewepụ ntamu m,
14 n’agbanyeghị na ị na-eji nrọ menye m egwu
werekwa ịhụ ọhụ mee ka m maa jijiji,
15 ya mere, ahọrọ m ị bụ onye a tọgburu atọgbu na ọnwụ,
karịa inwe ụdị ahụ m nke a.
16 Ana m asọ ndụ m oyi; agaghị m adị ndụ ruo ebighị ebi.
N’ihi ya, hapụ m ka m nọọrọ onwe m, n’ihi na ụbọchị ndụ m enweghị isi.

17 “Gịnị ka mmadụ bụ i ji na-agụ ya dịka ihe,
i ji na-elenye anya n’ihe gbasara ya,
18 i ji na-enyocha ya ụtụtụ niile,
ma na-anwale ya mgbe mgbe?
19 Ị gaghị elepụ anya gị site n’ebe m nọ,
maọbụ hapụ m ka m nọọrọ onwe m loda asụ mmiri?
20 Ọ bụrụ na m emehiela, gịnị ka m mere megide gị,
gị onye na-ahụ ihe niile anyị na-eme?
Gịnị mere i ji elekwasị m anya?
Abụrụla m ibu arọ nye gị?
21 Ọ bụ na i nweghị ike ịgbaghara m njehie m,
ma bupụ mmehie m?
N’ihi na oge ọnwụ m eruola nso, e, oge a ga-eliba m n’aja, ma m nwụọ.
Mgbe ahụ ị ga-achọ m, ma ị gaghị ahụkwa m anya ọzọ, n’ihi na agaghị m adịkwa.”

# 8

*Okwu Bildad*

1 Mgbe ahụ, Bildad onye Shua zaghachiri sị:
2 “Ruo ole mgbe ka i ga na-ekwu okwu dị otu a?
Okwu ọnụ gị bụ naanị ifufe dị ike.

3 Chineke ọ na-ekpe ikpe na-ezighị ezi?
Onye pụrụ ime ihe niile ọ na-eme ka ihe ziri ezi gbagọọ agbagọ?
4 Mgbe ụmụ gị mehiere megide ya,
o weere ha nyefee n’ikpe ọmụma kwesiri mmehie ha.
5 Ma ọ bụrụ na i ga-achọsi Chineke ike,
rịọ Onye pụrụ ime ihe niile,
6 ọ bụrụ na ị bụ onye dị ọcha n’obi na onye ụzọ ya ziri ezi,
ọ bụladị ugbu a, ọ ga-agbachitere gị
weghachi gị n’ọnọdụ ịbụ ọgaranya gị.
7 Ọ bụ ezie, na mmalite gị nwere ike ịdị ala,
ma ụbọchị ikpeazụ gị ga-adị elu.

8 “Jụọ ọgbọ ndị gara aga
ma chọpụta ihe ndị bụ nna ha chọpụtara.
9 N’ihi na anyị onwe anyị bụ ndị a mụrụ naanị ụnyaahụ, ndị ọ dịghị ihe ha maara.
Ụbọchị ndụ anyị n’ụwa dịka onyinyo.
10 Ọ bụ na ha agaghị agwa gị ma kuziekwara gị ihe?
Ọ bụ na ha agaghị esite na nghọta kwuo okwu?
11 Ahịhịa papịrọs o nwere ike ito n’ebe apịtị na-adịghị?
Ahịhịa riidi ọ ga-eto n’ebe mmiri na-adịghị?
12 N’ihi na mgbe ha ka na-etopụta etopụta, mgbe a na-egbubibeghị ha,
ha na-ebu ahịhịa ndị ọzọ ụzọ kpọnwụọ.
13 Nke a bụ oke ndị na-echefu Chineke,
otu a kwa ka olileanya nke onye na-amaghị Chineke si ala n’iyi.
14 Ihe ọ tụkwasịrị obi bụ ihe na-awa awa;
ihe mgbakwasị ụkwụ ya bụ akwụ udide.
15 Ọ bụrụ na ọ dabere na ya, ọ ga-etibi;
ọ bụrụ na o jide ya aka, ọ ga-adọbikwa.
16 Ọ dị ka ahịhịa ubi a na-agba mmiri nke ọma n’ubi a gbara ogige, nke anwụ na-amụkwasị,
nke ome ya na-awasa ruo akụkụ niile nke ogige ahụ.
17 Mgbọrọgwụ ya tụhịrị gburugburu nkume ndị dị n’ubi ahụ,
ma na-achọkwa ọnọdụ n’etiti nkume ndị a.
18 Ma mgbe e si n’ọnọdụ ya hopu ya,
ebe ahụ na-agọnarịkwa ya, na-asị, ‘Ahụtụbeghị m gị.’
19 N’ezie, ndụ ya na-akpọnwụ,
site n’ala ahụ ahịhịa ndị ọzọ na-etopụtakwa.

20 “N’ezie Chineke anaghị agbakụta onye ụzọ ya ziri ezi azụ,
maọbụ gbaa aka onye ajọ omume ume.
21 Ọ ga-eme ka ọnụ gị jupụta n’ọchị.
Ọ ga-eme ka mkpu ọńụ si n’egbugbere ọnụ gị pụta.
22 Ndị iro gị ka a ga-eyikwasị ihere dị ka uwe,
ebe obibi nke ndị na-emebi iwu agaghị adịkwa.”

# 9

*Okwu Job*

1 Job zara sị:
2 “N’ezie, amaara m na ihe ndị a bụ eziokwu.
Ma mmadụ dị ndụ ọ ga-esi ańaa gosi na ya bụ onye aka ya dị ọcha n’ihu Chineke?

3 Ọ bụrụ na Chineke ekpebie ịjụ mmadụ ajụjụ,
ebee ka mmadụ ahụ nọ nke nwere ike ịza ọ bụladị otu n’ime ajụjụ dị iche iche Chineke ga-ajụ ya?
4 Amamihe ya dị ukwuu, ike ya sara mbara,
onye guzogidere ya ma hapụ imerụ ahụ?
5 Ọ na-enughari ugwu ukwu ma ha adịghị ama nke a,
na-akwatụ ha n’iwe ya.
6 Ọ na-enugharịkwa ụwa site na ntọala ya,
mee ka ogidi ya maa jijiji.
7 Ọ na-agwa anyanwụ okwu mee ka ọ kwụsị ịcha;
ọ na-emenyụ ìhè kpakpando na-enye.
8 Naanị ya gbasara mbara eluigwe,
ọ na-agakwa ije n’elu ebili mmiri nke oke osimiri.
9 Ọ bụ ya mere kpakpando Bịaa, na Orion
na Pleiades, na kpakpando niile nke ndịda eluigwe.
10 Ọ na-arụ ọtụtụ ọrụ ebube nke mmadụ na-enweghị ike ịghọta,
ihe ịrịbama nke ọnụ na-enweghị ike ịgụta.
11 Mgbe ọ na-esi n’akụkụ m agafe, enweghị m ike ịhụ ya,
mgbe ọ na-agabiga, adịghị m amata na ọ bụ ya.
12 Ọ bụrụ na ọ pụnara ihe, onye na-akwụsị ya?
Onye kwa pụrụ ịjụ ya si, ‘Gịnị ka ị na-eme?’
13 Chineke adịghị eme ka iwe ya laghachi,
ọbụladị ndị inyeaka Rehab, ruru ala n’ụkwụ ya.

14 “Onye kwanụ ka m bụ, m ga-eji nwee ike iguzo n’ihu ya ịjụ ya ajụjụ,
maọbụ mụ na ya ịrụrịta ụka?
15 N’agbanyeghị na aka m dị ọcha, apụghị m ịsa ya okwu;
kama m ga-arịọ onye ikpe m ka o mere m ebere.
16 A sịkwarị na m kpọọ ya oku, ọ za m,
ekwenyeghị m na ọ ga-ege m ntị.
17 Ọ ga-eji oke ifufe tirie m,
meekwa ka ihe mgbu m baa ụba na-enweghị ihe butere ya.
18 Ọ gaghị ekwe ka iku ume m lọghachi
kama ọ ga-eji iru ụjụ kpuchie m.
19 Ọ bụrụ ihe e ji ike eme, lee na ọ dị ike nke ukwuu!
Ọzọ ọ bụrụ n’ikpe ziri ezi, onye pụrụ iguzogide ya.
20 A sịkwarị na aka m dị ọcha, ọnụ m ga-ama m ikpe;
ọ bụrụ na abụ m onye na-enweghị ịta ụta, ọ ga-agụ m n’onye ikpe mara.

21 “Ọ bụ ezie na abụ m onye ikpe na-amaghị
ejighị m onwe m kpọrọ ihe;
n’ezie ana m eleda ndụ m anya.
22 Otu ihe ahụ ka ọ bụ; n’ihi ya ka m ji asị,
‘Ọ na-ala ndị ezi omume na ndị ajọ omume n’iyi.’
23 Mgbe ịpịa ụtarị wetara ọnwụ mberede,
ọ na-achị enweghị olileanya nke ndị na-enweghị ihe ha mere ọchị.
24 Mgbe ala dabara n’aka ndị na-emebi iwu,
ọ na-ekpuchi ndị ọkaikpe anya.
Ọ bụrụ na ọ bụghị ya na-eme ya, onye kwanụ bụ onye ahụ na-eme ya?

25 “Ụbọchị ndụ m dị gara gara karịa onye ọgba ọsọ;
ha na-agafekwa na-ahụtụghị ọṅụ anya.
26 Ha na-agafe dịka ụgbọ mmiri papịrọs,*
dịka mgbe ugo na-efeda ngwangwa ijide anụ ọ ga-eri.
27 Ọ bụrụ na m sị, ‘Aga m echefu mkpesa m,
aga m agbanwe ihu m, nwee ihu ọchị.’
28 Nsogbu m niile ka na-atụ m egwu
n’ihi na amara m na ị gaghị ewere m dịka onye aka ya dị ọcha.
29 Ebe m bụrịị onye ikpe mara,
n’ihi gịnị ka m ji na-adọgbu onwe m n’efu?
30 A sịkwarị na m jiri ncha saa ahụ m
werekwa soda saa aka m abụọ,
31 ị ga-enuba m n’olulu apịtị
nke pụrụ ime ka uwe m yi n’ahụ m kpọọ m asị.

32 “Ọ bụghị mmadụ efu dịka m nke m ga-aza ya,
ka anyị abụọ kpọrịtaa onwe anyị ikpe n’ụlọikpe.
33 A sịkwarị na e nwere onye odozi okwu n’etiti mụ na gị,
onye ga-ebikwasị anyị abụọ aka ya,
34 onye ga-ewepụ mkpara Chineke site n’ebe m nọ,
ka oke egwu ya gharakwa ịtụ m ọzọ.
35 Mgbe ahụ ka m ga-ekwu okwu na-atụghị ya egwu;
ma ka ọ dị ugbu a ọ dịghị ihe m nwere ike ime.

# 10

1 “Ike ịdị ndụ agwụla m.
Hapụnụ m ka m kwuo ihe dị m n’obi,
kwupụta ya dịka obi ilu nke mkpụrụobi m si dị.
2 Ihe m ga-agwa Chineke bụ nke a: Apụtala maa m ikpe,
kama gwa m ihe mere i ji ama m ikpe.
3 Ọ dị gị mma n’obi imegbu m,
si otu a leda ọrụ aka gị anya,
mgbe ị na-anabata atụmatụ nke ndị na-emebi iwu?
4 Ị nwere anya nke anụ ahụ?
Ị na-ahụ ụzọ dịka mmadụ si ahụ?
5 Ụbọchị nke gị, ha dịka nke ndị nwere anụ ahụ,
ka afọ nke gị, ha dịka nke mmadụ dị ike?
6 Nke ga-eme na i na-achọpụta ikpe ọmụma m
ma nyochaa mmehie m?
7 Ọ bụ ezie na ị maara na ikpe amaghị m,
na ọ dịghị onye pụrụ ịnapụta m site n’aka gị.

8 “Ọ bụ aka gị kpụrụ m kee m.*
Ọ ga-atụgharịa ugbu a bibie m?
9 Cheta na ị kpụrụ m dịka ụrọ.
Ị ga-eme ka m laghachi n’aja ọzọ?
10 Ọ bụ na ị wụpụghị m dịka mmiri ara ehi

* **9:26** 9:26 Ọ bụ n’Ijipt ka a na-eji ahịhịa papịrọs arụ ụgbọ epeepe. Ọpụ 2:3
* **10:8** 10:8 Abụ 119:73; 139:13

mee ka m kpụkọta dịka mmiri ara rahụrụ arahụ?
11 Yikwasị m akpụkpọ ahụ na anụ ahụ,
werekwa ọkpụkpụ na akwara kpaa m dịka uwe?
12 I nyere m ndụ gosikwa m obiọma gị,
n’ịdị mma gị chebekwara mmụọ m.

13 “Ma nke a bụ ihe i zoro n’ime obi gị,
amakwa m na ọ bụ ihe dị gị n’uche.
14 Ọ bụrụ na m mehiere, ị ga na-ele m anya,
ị gaghị ekwe ka m ghara ịta ahụhụ n’ihi mmehie m.
15 Ọ bụrụ na ikpe mara m, ahụhụ na-adịrị m!
A sịkwarị na aka m dị ọcha, apụghị m iweli isi m elu
n’ihi na ejupụtara m n’ihere,
bụrụkwa onye e mibara n’ime nsogbu m.
16 Ọ bụrụ na m welie m isi elu, dịka ọdụm ị ga-eji nwayọọ na-eso m n’azụ
ma werekwa ike gị dị egwu megide m.
17 I na-eweta ndị ama ọhụrụ megide m,
mee ka iwe gị baa ụba n’ebe m nọ;
ị na-eme ka ndị agha gị na-abịakwute m, otu n’elu ibe ya dịka ebili mmiri.

18 “Gịnị mere i ji wepụta m site n’afọ nne m?
Ọ gaara aka m mma ịnwụ tupu anya ọbụla ahụ m.
19 A sịkwarị na amụpụtaghị m
maọbụ na e sitere n’afọ nne m buba m n’ime ili!
20 Ụbọchị ndụ m ọ dịghị ole na ole?
Si n’ebe m nọ wezuga onwe gị ka m nwetu ọṅụ nwa mgbe nta,
21 tupu m hapụ laa n’ala ọchịchịrị na onyinyo nke ọnwụ
ebe m na-agaghị esi pụtakwa.
22 N’ala nke oke ọchịchịrị,
ala nke onyinyo ọnwụ, nke usoro na-adịghị,
ebe ọbụladị ìhè dịkwa ka ọchịchịrị.”

# 11

*Okwu Zofa*

1 Mgbe ahụ, Zofa onye Neama zara sị:
2 “Ọ dịghị nzaghachi dịịrị ọtụtụ okwu niile ndị a?
A ga-agụ onye ekwurekwu a dịka onye ikpe na-amaghị?
3 Okwu efu gị ndị a ha ga-eme ka mmadụ gba nkịtị?
Ọ bụ na ọ dịghị onye ga-abara gị mba mgbe ị na-akwa emo?
4 Ị na-asị Chineke, ‘Okwukwe m enweghị ntụpọ,
adịkwa m ọcha n’anya gị.’
5 Ọ ga-adị m nnọọ mma ma a si na Chineke ga-ekwu okwu,
na ọ ga-asaghe egbugbere ọnụ ya imegide gị.
6 Kpugheere gị ihe nzuzo niile nke amamihe,
n’ihi na ezi amamihe nwere akụkụ abụọ.
Mara nke a: Chineke echefuola ụfọdụ mmehie gị.

7 “I nwere ike ịchọpụta ihe omimi Chineke?
I nwere ike ịnwapụta nsọtụ nke Onye pụrụ ime ihe niile?
8 Ha dị elu karịa eluigwe, gịnị ka ị pụrụ ime?

Ha dị ogbu karịa ala ili, gịnị ka ị pụrụ ịma?
9 Ọtụtụ ha dị ogologo karịa ụwa,
dị obosara karịa oke osimiri.

10 "Ọ bụrụ na ọ bịa tụba gị n'ime ụlọ mkpọrọ,
kpọkọta ndị ikpe, onye ga-egbochi ya?
11 N'ezie, ya onwe ya na-amata ndị nduhie,
mgbe ọ hụrụ ajọ ihe, ọ bụ na ọ dịghị amatakwa ya?
12 Onye nzuzu ga-aghọ onye maara ihe
naanị mgbe nwa ịnyịnya ibu ọhịa mụrụ ghọrọ mmadụ.

13 "Ma ọ bụrụ na i were obi gị nye ya,
setịpụ aka gị abụọ nye ya,
14 ọ bụrụ na i wezuga mmehie nke dị gị n'aka,
ghara ikwe ka ihe ọjọọ dịrị n'ụlọ ikwu gị
15 mgbe ahụ, ihere agaghị eme gị iwelite ihu gị,
ị ga-eguzokwa chịm na-atụghị egwu.
16 N'ezie ị ga-echefukwa nsogbu gị,
na-echeta ya dịka mmiri gabigara agabiga.
17 Ndụ gị ga-amụke karịa etiti ehihie,
ọchịchịrị ya ga-adịkwa ka ụtụtụ.
18 Ị ga-anọkwa n'udo n'ihi na olileanya dị;
ị ga-elegharịkwa anya gburugburu gị zuo ike na-atụghị ụjọ.
19 Ị ga-edina ala na-atụghị egwu onye ọbụla,
ọtụtụ ndị mmadụ ga-achọ ịnata amara n'ihu gị.
20 Ma anya ndị na-emebi iwu ga-ada,
ha agaghị achọta ụzọ mgbapụ;
olileanya ha ga-abụ nkubi ume nke ọnwụ."

# 12

*Okwu Job*

1 Mgbe ahụ, Job zara:
2 "N'ezie, naanị unu bụ ndị maara ihe,
unu na amamihe ga-anwụkọ n'otu.
3 Ma enwere m mmụọ iche uche dịka unu;
abụghị m onye na-erughị eru n'ebe unu nọ.
Onye bụ onye na-amaghị ihe ndị a unu na-ekwu?

4 "Abụzi m ihe ọchị n'ebe ndị enyi m nọ,
n'agbanyeghị na m kpọkuru Chineke, ọ za,
onye ezi omume, onye na-enweghị ịta ụta bụzikwa ihe eji akpa ọchị!
5 Ndị na-enweghị nsogbu na-eleda ndị ọdachi dakwasịrị anya
dịka nsogbu si eche ndị ụkwụ ha na-amịchapụ amịchapụ.
6 Ụlọ ikwu nke ndị na-apụnara mmadụ ihe na-adị jụụ;
ndị na-akpasu Chineke iwe na-adị n'udo,
bụ ndị na-ebugharị chi ha n'aka ha.

7 "Ma jụọ ụmụ anụmanụ, ha ga-akụziri gị,
maọbụ ụmụ nnụnụ, ha ga-agwa gị.
8 Ma ọ bụkwanụ gwa ala okwu, ọ ga-akụziri gị,

maọbụ kwere ka azụ nọ na mmiri kọọrọ gị.
9 Olee otu n’ime ihe ndị a nke na-amaghị
na ọ bụ aka ONYENWE ANYỊ mere nke a?
10 N’aka ya ka ndụ ihe niile e kere eke dị,
ya na ndụ ụmụ mmadụ
11 Ọ bụ na ntị adịghị anwale okwu,
otu ire si anwale ihe oriri?
12 Ọ bụ na-adịghị ahụ amamihe n’etiti ndị okenye?
Ogologo ndụ, ọ dịghị eweta nghọta?

13 “Ọ bụ Chineke nwe amamihe na ike,
ndụmọdụ na nghọta bụkwa nke ya.
14 Ihe o tidara enweghị mwugharị ọzọ;
mgbapụta adịghị nye onye o tụbara n’ụlọ mkpọrọ.
15 Ọ bụrụ na o gbochie mmiri, ebe niile atakọrọchaa.
Ọ bụrụ na o zipụ ha, ha erikpuo ala niile.
16 N’aka ya ka ike na nzube ihe dị;
ndị a ghọgburu na ndị na-aghọgbu bụkwa nke ya.
17 Ọ na-anapụ ndị ndụmọdụ ọkwa ha chụpụ ha,
ma ndị ikpe ka ọ na-eme ka ha ghọọ ndị nzuzu.
18 Ọ na-atọpụ mkpọrọ igwe ndị eze kere,
ma were akwa mgbochi kee ha n’ukwu.*
19 Ọ na-agbawa ndị nchụaja ọtọ chụpụ ha,
kwatuokwa ndị ọnọdụ ha sirila ike ogologo oge gara aga.
20 Ọ na-emechi ọnụ ndị ndụmọdụ a tụkwasịrị obi,
wepụkwa nghọta nke ndị okenye.
21 Ọ na-eji ndị ọgaranya eme ihe ọchị,
napụkwa ngwa agha nke ndị dị ike.
22 Ọ na-ekpughe ihe omimi nke ọchịchịrị
meekwa ka oke ọchịchịrị pụta ìhè.
23 Ọ na-eme ka mba dị ukwuu, ọ na-emekwa ka ha laa n’iyi;
Ọ na-eme ka mba baa ụba, ma chụsakwaa ha.
24 Ọ na-anapụ ndị ndu nke ụwa amamihe ha,
zipụkwa ha ka ha na-awagharị n’ọzara ebe ụzọ na-adịghị.
25 Ha na-asọgharị ìsì n’ọchịchịrị na-enweghị ìhè.
Ọ na-eme ha ka ha na-adagharị dịka ndị mmanya na-egbu.

# 13

1 “Anya m abụọ ahụla ihe ndị a niile,
ntị m anụla ma ghọtakwa ha.
2 Mụ onwe m makwa ihe unu maara;
abụghị m onye dị ala n’ebe unu nọ.
3 Ma ọ bụ Onye pụrụ ime ihe niile ka m chọrọ ịgwa okwu,
ka mụ na Chineke rụọkwa ụka banyere okwu m.
4 Ma otu ọ dị, unu ji okwu ụgha etechi m dịka ọ bụ mgba ụlọ;
unu niile bụ ndị dibịa na-abaghị uru.
5 Ọ bụrụ nnọọ na unu ga-agba nkịtị,
nke a gaara egosi na unu bụ ndị nwere amamihe.

* **12:18** 12:18 Ndị ohu a dọtara n’agha bụ naanị akwa mgbochi a na-eke n’ukwu ka ha na-eyi.

6 Ugbu a, nụrụnụ ịrụ ụka m;
geekwanụ ntị nụrụ okwu si m n’ọnụ na-apụta.
7 Unu ga-ekpelara Chineke ikpe mmegide?
Unu ga-esite n’okwu aghụghọ kwuchitere Chineke ọnụ ya?
8 Unu ga-egosi ya na unu na-ekpelara ya ikpe?
Unu ga-ekwuchite ọnụ Chineke?
9 Ọ ga-adịrị unu mma ma ọ bụrụ na o nyochaa unu?
Unu pụrụ ịghọgbu ya dịka unu si aghọgbu ndị mmadụ?
10 Ọ ghaghị ịbara unu mba
ma ọ bụrụ na unu ejiri okwu ụgha chọọ inyere ya aka.
11 Ọ ga-abụ na ebube na ịdị ukwuu ya adịghị eme ka unu maa jijiji?
Egwu ya ọ dịghị atụ unu?
12 Okwu amamihe unu niile dịka ilu nke ntụ;
okwu ngọpụ unu dịka ihe ngọpụ ụrọ.

13 “Nọọnụ jụụ ka m kwuo okwu;
ihe ọ pụtara ya pụta.
14 N’ihi gịnị ka m ga-eji tinye onwe m na nsogbu,
werekwa ndụ m tinye n’ọbụaka m?
15 A sịkwarị na ọ ga-etigbu m aghaghị m ịtụkwasị ya obi m.
Aga m ekwuchite ọnụ m gwa ya na ụzọ m dị ọcha.
16 N’ezie, nke a ga-aghọrọ m nzọpụta
maka na ọ dịghị onye ajọ omume ọbụla pụrụ ịbịa n’ihu ya.
17 Geenụ ntị nke ọma n’okwu m.
Kwerenụ ka ihe m na-ekwu baa unu ntị.
18 Ugbu a, edoziela m ikpe m n’usoro,
amatala m na ikpe agaghị ama m.
19 Ọ dị onye pụrụ ibo m ebubo*?
Ọ bụrụ na o nwere, aga m emechi ọnụ m ma nwụọ.

20 “Meere m naanị ihe abụọ ndị a, O Chineke,
mgbe ahụ agaghị m ezo onwe m n’ihu gị.
21 Wepụ aka gị i ji emegide m, meekwa ka ha dị anya n’ebe m nọ.
Kwụsị ime ka oke egwu gị mee ka m maa jijiji.
22 Mgbe ahụ, kpọọ m oku, aga m azakwa gị.
Maọbụ, kwerekwa ka m kwuo okwu, ka ị zaa m.
23 Ole ka ha dị bụ mmejọ na mmehie m mere?
Gosi m ajọ omume m na mmehie m.
24 Gịnị mere i ji gbakụta m azụ?†
Gịnị mere i ji gụọ m dịka onye iro gị?
25 Ị ga-enye ahịhịa ikuku na-ebugharị ntaramahụhụ?
Ị ga-achụ ahịhịa kpọrọ nkụ ọsọ?
26 N’ihi na ị na-edetu ihe ndị dị ilu megide m,
na-emekwa ka m ghọrọ mkpụrụ mmehie m mere n’oge okorobịa m.
27 Ị na-eji mkpọrọ igwe kegide ụkwụ m abụọ;
na-enyochakwa nzọ ụkwụ m niile
site n’itinye akara n’ebe ọbụla ọbụ ụkwụ m zọrọ.

28 “Ya mere, mmadụ n’ala n’iyi dịka ihe rere ere,

* **13:19** 13:19 Aịz 50:8 † **13:24** 13:24 Abụ 13:1

na dịka akwa nke nla riri.

# 14

1 “Mmadụ nke nwanyị mụrụ
nwere ụbọchị ole na ole nke jupụtara na nsogbu.
2 Ọ na-awalite dịka okoko osisi, ma kpọnwụọkwa mgbe na-adịghị anya,
dịka onyinyo, ọ na-agabiga agabiga.
3 Ị na-elegide onye dị otu a anya?
Ị ga-akpọ ya ikpe n’ihu gị?
4 Onye pụrụ iwepụta ihe dị ọcha site n’ihe na-adịghị ọcha?
Ọ dịghị onye ọ bụ.
5 Ị kpebiela ụbọchị ndụ nke mmadụ;
ị kabiela ọnụọgụgụ nke ọnwa ya niile,
kpaakwa oke ebe ọ na-agaghị agabiga.
6 N’ihi nke a, wepụ anya gị n’ebe ọ nọ, hapụ ya ka ọ nọọrọ onwe ya
ruo mgbe ụbọchị ya ga-ezu dịka onye e goro ọrụ.

7 “Ma olileanya dịịrị osisi;
n’ihi na ọ bụrụ na e gbutuo ya, ọ ga-epuchikwa,
alaka ọhụrụ ya aghaghị ịwapụtakwa.
8 A sịkwarị na mgbọrọgwụ ya emeela ochie n’ala,
maọbụ na ogwe ya anwụọ n’aja,
9 mgbe ọbụla mmiri zokwasịrị ya,
ọ na-epupụta dịka ihe a kụrụ akụ.
10 Ma mmadụ na-anwụ, e lie ya;
ọ na-ekubikwa ume si otu a gabiga.
11 Dịka mmiri dị n’oke osimiri si ata,
maọbụ ka mmiri dị n’iyi si ata n’oge ọkọchị,
12 otu a ka mmadụ si e dinaa ma ọ dịghị etetakwa ọzọ;
tutu ruo mgbe eluigwe na-agaghị adịkwa; mmadụ ọbụla apụghị i si n’ụra kpọtee ya,
agaghị akpọtekwa ha site n’ụra ha.

13 “A sị na ị ga-ezo m n’ala mmụọ,
na ị ga-ezobe m tutu ruo mgbe iwe gị gabigara.
A sị na ị ga-akanyere m oge
ma mesịa cheta m.
14 Ọ bụrụ na mmadụ anwụọ, ọ ga-adị ndụ ọzọ?
Ụbọchị niile nke ọrụ ahụhụ m,
aga m echere mgbe nnapụta m ga-abịa.
15 Ị ga-akpọ, aga m azakwa gị,
agụụ ọrụ aka gị ga-agụ gị.
16 N’ihi mgbe ahụ ị ga-agụ nzọ ụkwụ m niile ọnụ,
ma ị gaghị agụkọ mmehie m.
17 A ga-ekechi njehie m n’akpa,
ị ga-ekpuchi mmehie m.

18 “Ma dịka ugwu si erichasi daa,
na dịka a na-enupu oke nkume n’ọnọdụ ya,
19 dịka mmiri si akwọchasị nkume,

na dịka oke mmiri ozuzo si akwazekwa aja ala,
otu a ka i si eme ka olileanya mmadụ laa n’iyi.
20 Ị na-egosi ya na ị karịrị ya ike, ma ha na-agabiga;
ị na-eme ka ihu ya gbanwee, ma zilaga ya.
21 Ọ bụrụ na a na-asọpụrụ ụmụ ha, ha adịghị amata nke a;
ọ bụrụkwa na a na-eweda ha n’ala, ha ọ dịghị ahụ ya.
22 Ihe mgbu nke anụ ahụ ya ka ọ na-ama
ma na-erukwara naanị onwe ya ụjụ.”

# 15

*Okwu Elifaz*

1 Mgbe ahụ, Elifaz onye Teman zara sị:
2 “Onye maara ihe ọ ga-eji okwu na-abaghị uru zaghachi?
Ọ ga-emeju afọ ya n’ifufe na-ekpo ọkụ nke si n’ọwụwa anyanwụ?
3 Ọ ga-eji okwu na-abaghị uru rụọ ụka,
maọbụ kwuo okwu na-enweghị isi?
4 Ma ị na-eleda ezi omume anya
na-egbochikwa ịsọpụrụ Chineke.
5 Mmehie gị na-eme ka ọnụ gị kwuo okwu ngwangwa;
ọ bụkwa ire ndị aghụghọ ka i nwere.
6 Ọnụ gị na-ama gị ikpe, ọ bụghị mụ onwe m,
egbugbere ọnụ gị na-ekwu okwu megide gị.

7 “Ị bụ mmadụ mbụ a mụrụ?
A mụọla gị tupu e kee ugwu niile?
8 Ọ getụla ntị n’izu nzuzo nke Chineke?
Amamihe niile ọ bụ n’ime gị ka ha juru?
9 Gịnị ka ị maara nke anyị na-amaghị?
Ụdị nghọta dị aṅaa ka i nwere nke anyị na-enweghị?
10 Ndịisi awọ na ndị kara nka nọ n’etiti anyị,
ndị ikom mere agadi karịa nna mụrụ gị.
11 Ọ ga-abụ na nkasiobi Chineke bụrụ gị ihe nta,
ka ọ bụ okwu dị nro nke ọ gwara gị?
12 Gịnị mere obi gị ji duhie gị,
gịnị mekwara anya gị abụọ ji chagharịa,
13 nke mere iwe gị jiri dị ọkụ megide Chineke,
meekwa ka okwu ọjọọ ndị a niile si n’ọnụ gị pụta?

14 “Gịnị ka mmadụ efu bụ, ọ ga-eji dị ọcha n’obi,
gịnị ka mmadụ nwanyị mụrụ bụ, na ha nwere ike ị bụ ndị ezi omume?
15 Ọ bụrụ na Chineke atụkwasịghị ndị nsọ ya obi,
ọ bụrụkwa na eluigwe adịghị ọcha n’anya ya,
16 ọ ga-esi aṅaa tụkwasị mmadụ efu onye rụrụ arụ obi,
bụ onye na-aṅụ ajọ omume dịka mmiri.

17 “Gee m ntị ka m kọwaara gị;
kwerekwa ka m gwa gị ihe m hụrụ,
18 bụ ihe ndị amamihe kwuru,
ndị na-ezobeghị ihe ha natara n’aka nna nna ha,
19 bụ ndị e nyefere ala ndị a n’aka ha

mgbe ọ dịghị onye ọbịa gabigara n’etiti ha.
20 Ụbọchị ndụ ya niile, onye ajọ omume na-ata ahụhụ mmekpa ahụ,
bụ nke e debere ogologo afọ nye nwoke ahụ na-eme ihe ike.
21 Ụzụ na-eweta oke egwu na-eju ya ntị,
mgbe ọ dị ka ihe niile na-aga nke ọma, ndị na-apụnara mmadụ ihe na-abịakwasị ya.
22 O nweghị olileanya ịgbanarị ọchịchịrị;
mma agha nọ na-echere ya.
23 Ọ na-akpagharị na-achọ ebe nri dịka udele;
ọ makwara na ụbọchị ọchịchịrị nọ nso.
24 Ahụhụ na mkpagbu na-eme ka ọ tụọ oke egwu,
nsogbu na-abịakwasị ya dịka eze nke nọ na njikere ibuso ndị iro ya agha.
25 N’ihi na ọ na-atụ Chineke aka n’ihu,
dokwaa onwe ya imegide Onye pụrụ ime ihe niile.
26 O ji ikwesi olu ike,
dịka ọta siri ike, na-emegide Chineke.

27 “Ọ bụ ezie na abụba kpuchiri ihu ya,
abụba nke dị n’ukwu ya na-eme ka anụ ahụ nupụtakwa,
28 ọ ga-ebi n’obodo e bibiri ebibi,
n’ụlọ nke mmadụ na-ekwesighị ibi n’ime ha,
ụlọ nke na-adakasị adakasị.
29 Ma ọ gaghị aga n’ihu ị bụ ọgaranya, akụ ya agaghị adịgidekwa.
Ihe o nwere agakwaghị agbasapụ n’ala niile ahụ.
30 Ọ gaghị agbanarị ọchịchịrị,
ire ọkụ ga-eme ka ome ya kpọnwụọ,
iku ume nke ọnụ Chineke ga-ebufu ya.
31 Ka onye dị otu a hapụ ịghọgbu onwe ya site n’ịtụkwasị uche n’ihe efu,
n’ihi na ọ dịghị ụgwọ ọrụ ọbụla ọ ga-enweta.
32 Tụpụ oge ya eruo, ọ ga-anata ụgwọ ọrụ ya n’uju,
ọzọ, alaka ya ga-akpọnwụ
33 Ọ ga-adị ka osisi vaịnị nke mkpụrụ ya dapụsịrị na-achaghị acha,
dịka osisi oliv nke akwụkwọ ya kpọnwụrụ akpọnwụ.
34 N’ihi na ndị na-amaghị Chineke ga-adị ka nwanyị aga,
ọkụ ga-erepịa ụlọ ikwu niile nke ndị hụrụ iri ngarị n’anya.
35 Ha na-atụrụ ihe ọjọọ dịka ime, ma mụọkwa ajọọ omume;
naanị aghụghọ ka akpanwa ha na-arụpụta.”

# 16

*Okwu Job*

1 Mgbe ahụ, Job zara sị:
2 “Anụla m ọtụtụ ihe dịka ndị a;
ndị nkasiobi na-eweta ọnọdụ ọjọọ ka unu niile bụ.
3 Ogologo okwu efu ndị a niile unu na-ekwu, ọ naghị akwụsị?
Gịnị bụ nsogbu unu nke mere unu ji aga n’ihu na-arụ ụka niile ndị a?
4 Mụ onwe m nwekwara ike ikwu okwu dịka unu,
ma ọ bụrụ na unu nọ n’ọnọdụ m;
enwere m ike kwuo okwu dị ụtọ na ntị megide unu,

ma fufekwaa isi* m megide unu.
5 Ma ọnụ m ga-agba unu ume;
nkasiobi si n’egbugbere ọnụ m ga-emekwa ka ihe mgbu unu dajụọ.

6 “Ma ọ bụrụ na m ekwuo, adịghị egbochi ihe mgbu m,
ọ bụrụ na m ahapụ ikwu okwu, ọdịghị esi n’ahụ m pụọ?
7 N’ezie o Chineke, i meela ka ike gwụ m,
i tidakwala ezinaụlọ m.
8 I keela m agbụ; agbụ m abụrụla ihe akaebe megide m;
ịta ahụ m ebiliela ịgba akaebe megide m.
9 Chineke na-eweso m iwe, jiri iwe ya na-adọwasị m,
ọ na-atakwa ikikere eze ya megide m;
onye iro m na-achịchapụrụ m anya ya.
10 Ụmụ mmadụ na-asaghe ọnụ ka ha chịa m ọchị,
ha ji iti m aka n’ọnụ na-akwa m emo,
jikọtakwa onwe ha megide m.
11 Chineke ewerela m nyefee n’aka ndị ajọ omume,
tụbakwa m n’aka ndị na-emebi iwu.
12 Ihe na-agara m nke ọma, ma Chineke tipịara m.
O jidere m n’olu ma tiwasịa m.
O meela m ihe ịgba ụta ya;
13 ndị ọgba ụta ya agbaala m gburugburu.
Ọ na-agbawa akụrụ m na-enweghị ọmịiko
mee ka oluilu m wụsịa n’ala.
14 Mgbe niile, ọ na-emegide m;
ọ na-achụso m dịka dike n’agha.

15 “Adụkọtala m akwa mkpe were ya kpuchie anụ ahụ m,
liekwa ikuanya† m n’ime ntụ.
16 Ihu m na-acha ọbara ọbara site n’akwa nke m na-akwa,
onyinyo nke ọnwụ dịkwa gburugburu egbugbere anya m abụọ;
17 ma aka m emeghị ihe ike ọbụla,
ọzọ ekpere m dịkwa ọcha.

18 “Ala, biko, ezokwala ọbara m;
mee ka akwa m ghara ịbụ ihe lara n’iyi!
19 Ọ bụladị ugbu a, onye akaebe m nọ n’eluigwe,
onye nkwuchite ọnụ m nọ n’ebe dị elu.
20 Onye na-arịọrọ m arịrịọ bụ enyi m,
dịka m na-awụsara Chineke anya mmiri m.
21 N’ọnọdụ mmadụ ka ọ na-arịọ Chineke
dịka mmadụ na-arịọ n’ihi enyi ya.

22 “Naanị afọ ole na ole ga-agabiga
tupu m ga n’ụzọ nke nlọghachi m na-adịghị.

# 17

1 Mmụọ m tiwara etiwa,

---

* **16:4** 16:4 Ifufe isi n’ihu mmadụ, bụ omume nleị anya. Ọ pụtara na e nweghị nsọpụrụ n’ebe onye dị otu a nọ. Abụ 22:7; Akw 2:15; Mat 27:39 † **16:15** 16:15 Maọbụ, mpi

ụbọchị m niile dị mkpụmkpụ,
ili na-echere ịnabata m.
2 N’ezie ndị na-akwa emo gbara m gburugburu;
anya m na-elekwasịkwa mkpasu iwe ha.

3 “Debere m ihe ebe n’ebe gị Chineke nọ.
Olee onye ọzọ pụrụ ịnara m n’akaebe?
4 I mechiela uche ha ka ha ghara inwe nghọta;
ya mere, i gaghị ekwe ka ha nwee mmeri.
5 Ọ bụrụ na mmadụ ekwujọọ enyi ya ka o were nweta uru dị n’ime ya,
anya ụmụ ya ga-ada mba.

6 “Chineke emeela ka m bụrụ okwu ilu nye onye ọbụla,
meekwa ka m bụrụ onye ha na-agbụsa asọ mmiri n’ihu.
7 Anya m na-ahụ inyogho inyogho n’ihi iru ụjụ;
ahụ m aghọọla onyinyo nke ihe m bụ na mbụ.
8 Ndị na-eme ihe ziri ezi na-akụja mgbe ha hụrụ nke a;
ndị aka ha dị ọcha na-enwe mkpali megide ndị ajọ omume.
9 Ma otu ọbụla ọ dị, ndị ezi omume ga-aga n’ihu n’iso ụzọ ha,
ndị aka ha dị ọcha ga-aga n’ihu n’ịdị ike.

10 “Ma bịanụ, unu niile, bidonụ okwu unu ọzọ!
Agaghị m achọta onye maara ihe n’etiti unu.
11 Ụbọchị m niile agafeela, atụmatụ m abụrụla ihe lara n’iyi.
Ma ọchịchọ nke obi m
12 na-edo abalị n’ọnọdụ ehihie;
n’ihu ọchịchịrị ka ìhè dị nso.
13 Ọ bụrụ na ebe obibi m na-ele anya ya bụ ili,
ọ bụrụ na m agbasaa* ihe ndina m n’elu ọchịchịrị,
14 a sikwa na m asị ire ure, ‘Nna m ka ị bụ,’
maọbụ sị ikpuru ‘Nne m’ maọbụ ‘Nwanne m nwanyị,’
15 ebeekwa ka olileanya m dị?
Onye pụrụ ịhụ ma m nwere olileanya?
16 Olileanya m ọ ga-arịda ruo n’ọnụ ụzọ ama nke ọnwụ?
Anyị ga-esokọta rịdaruo n’uzuzu?”

# 18

*Okwu Bildad*

1 Mgbe ahụ Bildad onye Shua zara sị:
2 “Ruo ole mgbe ka ị ga-ekwubi okwu ndị a ị na-ekwu?
Nwee ezi uche ka anyị kparịtaa ụka.
3 Gịnị mere i ji were anyị dịka anụ ọhịa,
gụọ anyị dịka ndị na-enweghị uche n’anya gị?
4 Gị onye na-eji iwe adọkasị onwe gị,
a ga-ahapụ ụwa n’ihi gị?
Ka a ga-enupu oke nkume n’ọnọdụ ha?

5 “A na-afụnyụ oriọna nke onye na-emebi iwu;
ire ọkụ ya ga-akwụsịkwa inwu enwu,

---
* **17:13** 17:13 Maọbụ, atụsaa

6 ìhè nke dị n’ime ụlọ ikwu ya na-abụ ọchịchịrị,
oriọna nke dị n’akụkụ ya na-anyụkwa.
7 Ike agakwaghị adị na nzọ ukwu ya;
atụmatụ ya onwe ya ga-atụda ya n’ala.
8 Ụkwụ ya na-eduba ya n’ọnya;
ọ na-akpaghari na-adaba n’ime oghere.
9 Ọnya na-ejide ikiri ụkwụ ya,
ọnya ahụ na-ejidesi ya ike.
10 E zobere ya ụdọ ọnya igbudu n’ala,
ihe e ji ejide ya na-echere ya n’ụzọ ya.
11 Ihe egwu na-emenye ya ụjọ n’akụkụ niile,
na-agbasokwa nzọ ụkwụ ya niile.
12 Ịla n’iyi na-achọsi ya ike;
mbibi nọkwa na njikere na-eche mgbe ọ ga-ada.
13 Mbibi na-eripịa akụkụ anụ ahụ ya;
ọkpara ọnwụ na-eripịa ahụ ya niile.
14 Esi na nchekwa nke ụlọ ikwu ya dọpụta ya
duru ya jekwuru eze nke ihe egwu niile.
15 Ọkụ na-ebi n’ime ụlọ ikwu ya;
a ga-efesasị nkume na-enwu ọkụ n’ebe obibi ya.
16 Mgbọrọgwụ ya na-akpọ nkụ n’ime ala,
alaka ya ga-akpọnwụ n’elu.
17 A gaghị echeta echiche ya n’ụwa ọzọ,
o nweghị onye ọbụla na-echetakwa aha ya.
18 A na-esite n’ìhè chụba ya n’ọchịchịrị,
otu a kwa, a na-achụpụkwa ya site n’ụwa.
19 O nweghị ụmụ, o nwekwaghị ụmụ ụmụ n’etiti ndị ya,
ọ dịghị onye fọdụrụ n’ebe o bi na mbụ.
20 Ọnọdụ ya na-eju ndị si n’ọdịda anyanwụ anya;
oke egwu na-ejidekwa ndị si n’ọwụwa anyanwụ n’ihi ya.
21 N’ezie, otu a ka ebe obibi nke onye ajọ omume dị,
ee, bụ onye ahụ nke na-amaghị Chineke.”

# 19

*Okwu Job*

1 Job zara sị:
2 “Ruo ole mgbe ka unu ga-anọgide na-ata m ahụhụ?
Ruo ole mgbe ka unu ga-ewere okwu ọnụ unu zọpịa m?
3 Ugboro iri ndị a ka unu kọcharala m,
ihere adịghị eme unu na unu na-ebuso m agha?
4 A sịkwarị na m bụ onye mmehie,
ọ bụ naanị mụ onwe m ka ọ gbasara.
5 Ọ bụrụ na unu na-ebuli onwe unu elu karịa m,
ma were ọnọdụ ịdị ala m megide m,
6 mgbe ahụ, maranụ na Chineke emejọọla m,
were ụgbụ ya tụọ m gburugburu.

7 “Ọ bụ ezie na m na-eti mkpu akwa sị: ‘A na-emejọ m.’ Ma ọ dịghị ọsịsa m na-anata;
ọ bụ ezie na m na-eti mkpu ka e nyere m aka ma ikpe ziri ezi adịghị.
8 Ọ nọchiela ụzọ m ka m ghara ịgafe;

o jirila ọchịchịrị kpuchie ụzọ m.
9 O yipụla m ugwu m,
wepụkwa okpueze m kpu n’isi.
10 Ọ na-eti m ihe otiti n’akụkụ niile, ruo mgbe m gabigara;
ọ na-ehopu olileanya m dịka osisi.
11 Iwe ya dị ọkụ megide m;
ọ na-agụnyekwa m dịka onye iro ya.
12 Ndị agha ya ji ike na-abịa;
ha ewuola mgbidi were nnọchibido m
ha agbaala ụlọ ikwu m gburugburu imegide m.

13 “O meela ka ụmụnne m
na ndị enyi m si n’ebe m nọ pụọ.
14 Ndị ikwu m anaghị etinyekwa uche n’ihe banyere m;
ndị ezi enyi m niile echefuola m.
15 Ndị ọbịa nọ n’ụlọ m na ndị odibo m nwanyị na-agụ m dịka onye ala ọzọ;
adị m ka onye mba ọzọ n’ebe ha nọ.
16 Ana m akpọ odibo m oku ma ọ dịghị aza m,
ọ bụladị mgbe m jiri ọnụ m rịọ ya.
17 Iku ume m abụrụla ihe nwunye m apụghị ịnagide;
abụrụla m ihe arụ nye ụmụnne m.
18 Ọ bụladị ụmụntakịrị nwoke na-akwa m emo;
ha na-ejikwa m eme ihe ọchị mgbe ọbụla m pụtara.
19 Ndị ahụ m kpọrọ ndị enyi ọma m na-ele m anya dịka m bụ ihe arụ;
ndị ahụ niile m hụrụ n’anya echigharịakwala megide m
20 Abụ m naanị ọkpụkpụ ọkpụkpụ;
ihe m ji gbanarị ọnwụ adịghị ukwuu.

21 “Meerenụ m ebere, ndị enyi m, meerenụ m ebere,
n’ihi na aka Chineke na-emegide m.
22 Gịnị mere unu ji achụ m dịka Chineke si achụ m?
Ọ ga-abụ na ahụhụ m ejubeghị unu afọ?

23 “Ọ gaara atọ m ụtọ
ma a sị na e dekọrọ okwu m n’akwụkwọ,
24 na e ji mkpisi igwe dee ha,
maọbụ kakwasị ha n’elu mbadamba nkume ruo mgbe ebighị ebi.
25 Amara m na onye mgbapụta m na-adị ndụ,
amakwaara m na ọ ga-eguzo n’elu ụwa n’oge ikpeazụ.
26 Mgbe e mebisikwara akpụkpọ ahụ m,
ma n’anụ ahụ m aga m ahụ Chineke.
27 Mụ onwe m ga-eji anya m abụọ hụ ya,
mụ onwe m, ọ bụghị onye ọzọ.
Lee ka obi m si anụ ọkụ n’ime m maka nke a!

28 “Ọ bụrụ na unu asị, ‘Anyị ga-emegide ya
n’ihi na nsogbu a si n’aka ya,’
29 unu onwe unu kwesiri ịtụ egwu mma agha;
n’ihi na iwe ga-ebute ịta ahụhụ nke mma agha,
mgbe ahụ, unu ga-ama na ikpe dị.”

# 20

*Okwu Zofa*

1 Mgbe ahụ, Zofa onye Neama zara sị:
2 “Enweghị udo nke echiche m na-akpali m izaghachi
n’ihi na anọ m na mwute dị ukwuu.
3 Anụla m okwu mkparị nke ileda anya nye m,
ma nghọta m na-akpalịte m ịzaghachi gị.

4 “N’ezie, ị maara otu ọ dị site na mgbe ochie,
ya bụ kemgbe e debere mmadụ n’ụwa.
5 Obi ụtọ nke onye na-emebi iwu na-adị nwa mgbe nta,
ọṅụ nke ndị na-amaghị Chineke na-anọ naanị nwa oge.
6 N’agbanyeghị na ịnya isi ya ga-eru eluigwe,
na isi ya ga-emetụkwa igwe ojii;
7 ọ ga-ala n’iyi ebighị ebi, dịka nsị ya onwe ya nyụrụ;
ndị maara ya ga-ajụ, ‘Olee ebe ọ nọ?’
8 Ọ ga-efelaga dịka nrọ, agaghị achọtakwa ya mgbe ọbụla,
dịka ọhụ abalị nke e chefuru echefu.
9 Anya hụrụ ya na mbụ agaghị ahụkwa ya ọzọ,
ebe obibi ya agaghị elegidekwa ya anya ọzọ.
10 Ụmụ ya ga-achọ ihuọma site n’aka ndị ogbenye;
aka ya abụọ kwa ga-enyeghachi akụ ya.
11 Ọkpụkpụ ya nke jupụtara n’ike okorobịa
ga-eso ya bụrụ ihe a ghanyere na ntụ.

12 “Ọ bụ ezie na ihe ọjọọ na-atọ ya ụtọ n’ọnụ,
na ọ na-ezokwa ya n’okpuru ire ya;
13 ọ bụ ezie na ọ pụghị n’ịhapụ ya,
ọ na-edebe ya n’ọnụ ya,
14 ma nri ọ na-eri ga-aghọ ihe gbara ụka n’afọ ya,
ọ ga-aghọkwa elo agwọ n’ime afọ ya.
15 Ọ ga-agbọpụta akụnụba niile o lodara;
Chineke ga-eme ka o si n’afọ ya gbọpụtachaa ha.
16 Ọ ga-amịcha elo agwọ,
eze agwọ ajụala ga-egbu ya.
17 Ọ gaghị anụ ụtọ mmiri si n’iyi,
bụ iyi nke na-asọ asọ nke jupụtara na mmanụ aṅụ na mmiri ara ehi rahụrụ arahụ.
18 Ihe ọ rụpụtara ka ọ ga-eji kwụghachi ụgwọ o ji na-erighị ma otu.
Uru ọ zụtara n’ahịa agaghị abụrụ ya ihe ọṅụ.
19 N’ihi na ọ kpagburu ndị ogbenye, hapụ ha na-enweghị olileanya ọbụla,
ọ nakọtakwara ụlọ nke ọ na-ewughị.

20 “N’ezie, ọ gaghị enwe izuike site n’oke ọchịchọ ya;
ọ gaghị azọpụtakwa onwe ya site n’ụlọakụ ya.
21 Ọ dịghị ihe fọdụrụ ya iripịa,
ọganihu ya agaghị adịgide.
22 N’etiti ihe niile o nwere ka mkpagbu ga-abịakwasị ya,
oke ịta ahụhụ ga-adakwasị ya.
23 Mgbe o rijuru afọ

ka Chineke ga-eme ka iwe ya dị ọkụ megide ya,
iti aka Chineke ga-adakwasị ya dịka mmiri ozuzo.
24 Ọ bụrụ na o si na ngwa agha e ji igwe kpụọ gbalaga,
àkụ nke e ji ọla bronz kpụọ ọnụ ya ga-amapu ya ahụ.
25 N'azụ ya ka ọ na-esi mịpụta ya,
site n'umeju ya ka a ga-esi mịpụta ọnụ ya na-egbu amụma.
Oke egwu dị iche iche ga-abịakwasị ya.
26 Oke ọchịchịrị nọ na-echere akụnụba ya,
ọkụ nke a na-afụnwughị afụnwu ga-erepịa ya
ọ ga-erechapụkwa ihe niile fọdụrụ n'ụlọ ikwu ya.
27 Eluigwe ga-ekpughe ikpe ọmụma ya
ụwa niile ga-ebili megide ya.
28 Idee mmiri ga-ebupu ụlọ ya;
oke mmiri okwukwo n'ụbọchị iwe Chineke.
29 Nke a bụ oke nke Chineke debeere ndị na-emebi iwu,
ya bụkwa ihe nketa nke Chineke kwadooro ha."

# 21

*Okwu Job*

1 Mgbe ahụ, Job zara sị:
2 "Gee ntị nke ọma n'okwu m;
ka nke a bụrụ nkasiobi ị ga-enye m.
3 Nwee ndidi ka m kwuchaa okwu m,
mgbe m kwuchara, gaa n'ihu ịkwa m emo.

4 "Ọ bụ mmadụ ka m na-ekpesara?
Gịnị ka m ga-eji ghara ịbụ onye na-enweghị ndidi?
5 Lee m anya ka ahụ maa gị jijiji;
were aka gị kpuchie ọnụ gị.
6 Mgbe m chere echiche maka nke a, egwu tụrụ m
meekwa ka ahụ m maa jijiji.
7 Gịnị mere ndị ajọ omume ji enwe ndụ ogologo,
ghọọ okenye, baakwa ụba n'ịdị ike?
8 Ha na-ahụ ụmụ ka ha na-akwụsike ike gburugburu ha,
ụmụ ha ka ha ji anya ha ahụ.
9 Ha na-ebi ndụ udo n'ezinaụlọ ha na-atụghị egwu na ihe ọjọọ ọbụla ga-adakwasị ha;
mkpara Chineke adịghịkwa adakwasị ha.
10 Oke ehi ha na-agba nne ehi ha na-esepụghị aka;
nne ehi ha na-amụ ụmụ, ha adịghị ekwo ime.
11 Ha na-ezipụ ụmụ ha dịka igwe atụrụ;
ụmụntakịrị ha na-etegharị egwu.
12 Ha na-abụ abụ n'ụda egwu otiti na ụbọ akwara;
ha na-aṅụrịkwa ọṅụ n'ụda nke ọja.
13 Ha na-anọ ụbọchị ndụ ha niile n'ọganihu,
ha na-arịdakwa n'ili ha n'udo.
14 Ma ndị a na-asị Chineke, 'Hapụ anyị aka,
ọ dịghị anyị mkpa ịmata ụzọ gị.
15 Onye ka Onye pụrụ ime ihe niile bụ, anyị ga-eji jeere ya ozi?
Uru gịnị ka ịrịọ ya arịrịọ ga-abara anyị?'
16 Ma ọganihu ha adịghị n'aka ha

ya mere ana m ewezuga onwe m site na ndụmọdụ ndị na-emebi iwu.

17 “Ma ugboro ole ka a na-emenyụ ọkụ oriọna nke ndị na-emebi iwu?
Ugboro ole ka nhụju anya na-adakwasị ha,
bụ nke Chineke kenyere ha n’iwe ya?
18 Ugboro ole ka ha dịka ahịhịa kpọrọ nkụ n’ihu ikuku,
maọbụ dịka igbugbo ọka nke ikuku siri ike na-efesasị?
19 A na-asị, ‘Chineke na-akpakọtara ụmụ ha ntaramahụhụ nke njehie ha.’
Ka a kwụghachi ha ya, ka ha nwee ike mata ya.
20 Ka anya ha hụ mbibi nke onwe ya,
ka ha ṅụọ ọnụma nke Onye pụrụ ime ihe niile dịka mmiri.
21 Gịnị gbasara ha banyere ezinaụlọ ha hapụrụ
mgbe ọnwa ndị e kenyere ya bịara na ngwụcha?

22 “Ọ dị onye pụrụ izi Chineke ihe ọmụma,
ebe ọ bụ ya na-ekpe ndị kachasị elu ikpe?
23 Otu onye na-anwụ mgbe o jupụtara n’ike na ume,
mgbe ọ nọ na nchekwa na udo,
24 mgbe ahụ ya bụ nke eji ezi nri zụọ nke ọma,
ọkpụkpụ ya jupụtakwara n’ụmị.
25 Onye ọzọ na-anwụ n’ihe ilu nke mkpụrụobi,
n’ihi na o nweghị mgbe o riri ezi ihe ọbụla.
26 Nke ọbụla n’ime ha dina n’akụkụ ibe ya n’ime aja,
ikpuru kpuchikwara ha abụọ.

27 “Amaara m nke ọma ihe bụ echiche unu
na nzube unu ji emegide m.
28 Unu ga-ajụ m ajụjụ sị, ‘Ugbu a, ole ụlọ oke mmadụ ahụ.
Ụlọ ikwu ndị ahụ ebe ndị na-emebi iwu biiri?’
29 Ọ bụ na unu ajụbeghị ndị njem ajụjụ?
Ọ bụ na unu ejighị ihe ha kọrọ mere ihe,
30 na a na-echebe ndị ọjọọ pụọ n’ụbọchị nhụju anya,
na a na-anapụta ha site n’ụbọchị oke iwe?
31 Onye na-atụ ha mmehie ha n’ihu?
Onye kwa na-akwụghachi ha ụgwọ ihe ha mere?
32 A na-eburu ha gaa n’ili,
a na-echekwa ili ha nche.
33 Aja dị na ndagwurugwu na-atọ ha ụtọ;
Mmadụ niile na-eso ha n’azụ,
na ọtụtụ a na-apụghị ịgụta ọnụ na-ebu ha ụzọ n’aga.

34 “Ya mere, olee otu unu ga-esi were okwu na-enweghị isi kasịe m obi?
Ọ dịghị ihe fọdụrụ n’ọsịịsa unu ma ọ bụghị naanị okwu ụgha.”

# 22

*Okwu Elifaz*

1 Mgbe ahụ, Elifaz onye Teman zara sị:
2 “Mmadụ ọ pụrụ ịbara Chineke uru?
Ọ bụladị onye nwere uche ọ pụrụ ịbara Chineke uru?
3 O nwere ọṅụ ọ ga-enye Onye pụrụ ime ihe niile ma a sị na ị bụ onye ezi omume?

Uru gịnị ka ọ ga-enweta ma ọ bụrụ na ụzọ gị niile enweghị ịta ụta?

4 “Chineke ọ na-abara gị mba na-ebo gị ebubo
n’ihi na ị na-atụ egwu ya?
5 Ọ bụ na mmebi iwu gị adịghị ukwuu?
Mmehie gị o nwere ọgwụgwụ?
6 Ị naara ụmụnne gị ihe ebe n’efu;
ị yipụrụ ndị mmadụ uwe ha gbawa ha ọtọ.
7 I nyeghị ndị ike gwuru mmiri,
i nyeghịkwa ndị agụụ na-agụ ihe oriri.
8 Ọ bụ eziokwu na ị bụ nwoke dị ike na onye nwere ala,
bụrụkwa onye a na-asọpụrụ bi n’ala ya,
9 Ị na-agbaba ụmụ nwanyị di ha nwụrụ aka, zipụ ha,
Ị na-anyaji ogwe aka nke ụmụ na-enweghị nna.
10 Ọ bụ ya mere ọnya jiri gbaa gị gburugburu,
bụrụkwa ihe mbibi ji eyi gị egwu.
11 Ọ bụkwa ya mere ọchịchịrị ji gbaa gị gburugburu ka ị ghara ịhụ ụzọ,
meekwa ka idee mmiri kpuchie gị.

12 “Ọ bụ na Chineke anọghị n’ebe dị elu nke eluigwe?
Lee ka ịdị elu nke kpakpando dị elu si dị.
13 Kama ị na-asị, ‘Gịnị ka Chineke maara?
Ọ na-esite n’oke ọchịchịrị dị otu a ekpe ikpe?
14 Oke ọchịchịrị kpuchiri ya, nke mere na ọ naghị ahụ anyị
mgbe ọ na-agagharị n’ebe dị elu nke eluigwe.’
15 Ị ga-agbaso ụzọ ochie
nke ndị na-eme ihe ọjọọ zoro ije na ya?
16 E bupụrụ ha tupu oge ha eruo.
Ntọala ndụ ha ka idee mmiri sachapụrụ
17 Ha sịrị Chineke, ‘Hapụ anyị aka!
Gịnị ka Onye pụrụ ime ihe niile ga-eme anyị?’
18 Ma ọ bụ ya ji ihe dị mma dị iche iche mejupụta ụlọ ha,
ya mere ana m ewezuga onwe m site na ndụmọdụ ndị na-emebi iwu.
19 Ndị ezi omume na-ahụ mbibi ndị dị otu a ma ṅụrịa;
ndị aka ha dị ọcha na-akwa ha emo sị:
20 ‘N’ezie, e bibiela ndị iro anyị,
ọkụ erepịala akụnụba ha.’

21 “Doo onwe gị n’okpuru Chineke ka gị na ya nọọ n’udo,
n’ụzọ dị otu a, ọganihu ga-abịara gị.
22 Gee ntị, nabata ndụmọdụ si ya n’ọnụ,
doo okwu ya niile n’obi gị.
23 Ọ bụrụ na ịlaghachikwute Onye pụrụ ime ihe niile, ọ ga-eweghachi gị n’ọnọdụ gị;
ọ bụrụ na iwezuga ihe mmebi iwu mee ka ọ dị anya site n’ebe ụlọ ikwu gị dị,
24 tọgbọ ọkpụrụkpụ ọlaedo gị n’aja,
tụpụkwa ọlaedo nke Ọfịa gị n’elu nkume dị n’ime ọdọ mmiri nta.
25 Mgbe ahụ, Onye pụrụ ime ihe niile ga-abụrụ gị ọlaedo,
bụkwara gị ọlaọcha kachasị mma.
26 N’ezie, mgbe ahụ kwa, ihe nke Onye pụrụ ime ihe niile ga-atọ mkpụrụobi gị ụtọ,
ị ga-ewelikwa ihu gị nye Chineke.

27 Ị ga-ekpe ekpere, ọ ga-azakwa gị ekpere gị,
ị ga-emezukwa nkwa i kwere.
28 Ihe i kpebiri ga-emezukwa,
ìhè ga-amụkwasị n'ụzọ gị niile.
29 Mgbe a na-eweda ndị mmadụ ala, ọ bụrụkwa na ị sị, 'Bulienụ ha elu,'
mgbe ahụ ọ ga-azọpụta ndị e wedara n'ala.
30 Ọ ga-azọpụta ọ bụladị onye ahụ nke aka ya na-adịghị ọcha,
bụ onye nke a ga-azọpụta site n'ịdị ọcha nke aka gị."

# 23

*Okwu Job*

1 Mgbe ahụ, Job zara sị:
2 "Ọ bụladị taa, mkpesa m dị ilu;
aka ya dị arọ megide m n'agbanyeghị ịsụ ude m.
3 A sịkwa na m maara ebe m ga-achọta ya;
a sịkwa na m nwere ike ijeru ebe obibi ya!
4 Aga m edozi mkpesa m n'usoro n'ihu ya
were ịrụ ụka mejuo ọnụ m.
5 Aga m achọpụta ihe o ga-aza m
ma tuleekwa ihe ọ ga-agwa m.
6 Ọ ga-eji ike dị egwu megide m?
Mba, ọ gaghị ebo m ebubo.
7 N'ebe ahụ, onye ziri ezi ga-eme mkpesa n'ihu ya.
N'ebe ahụ, a ga-anapụtakwa m site n'aka onye ikpe m rụọ mgbe ebighị ebi.

8 "Ma ọ bụrụ na m agaa n'ọwụwa anyanwụ ọ nọghị n'ebe ahụ;
ọ bụrụ na m gaa n'ọdịda anyanwụ, agaghị m achọta ya.
9 Mgbe ọ nọ n'ọrụ n'ugwu anaghị m ahụ ya,
mgbe ọ lọghachiri na ndịda anaghị m ahụkwa ya.
10 Ma ọ maara ụzọ m na-aga,
mgbe ọ nwapụtasịrị m, aga m apụta dịka ọlaedo,
11 ụkwụ m abụọ na-agbaso nzọ ụkwụ ya;
ana m eso ụzọ ya na-atụgharịghị n'aka nri maọbụ aka ekpe.
12 Esibeghị m n'iwu nke si n'ọnụ ya pụta wezuga onwe m;
a na m echekwa okwu ọnụ ya karịa nri nke m na-eri kwa ụbọchị.

13 "Ma o guzo naanị ya, onye pụrụ iguzogide ya?
Ọ na-eme ihe ọbụla masịrị ya.
14 Ọ na-emezu ụkpụrụ ya niile o zubere megide m,
ọ ka nwekwara nzube ndị ọzọ yiri nke a o dobere imegide m.
15 N'ihi ya ka obi ji ama m jijiji n'ihu ya;
mgbe m chetara banyere ihe ndị a niile, ana m atụ egwu ya.
16 Chineke emeela ka obi m daa mba;
Onye pụrụ ime ihe niile emeela ka m maa jijiji.
17 Ma ọchịchịrị emeghị ka m mechie ọnụ m,
bụ oke ọchịchịrị nke kpuchiri ihu m.

# 24

1 "Gịnị mere Onye pụrụ ime ihe niile adịghị ahọpụta oge maka ikpe ikpe?

Gịnị mere ndị maara ya ga-eji na-ele anya n’efu maka oge ndị a?
2 Ụfọdụ ụmụ mmadụ na-ewezuga nkume oke ala,
na-elekọta igwe atụrụ ha zutere n’ohi.
3 Ha na-apụnara ịnyịnya ibu nke nwa mgbei,
ha na-anarakwa ehi nke nwanyị di ya nwụrụ n’ihe ebe.
4 Site n’okporoụzọ ka ha na-akwapụ ndị nọ na mkpa.
Ha na-ejikwa aka ike mee ka ndị ogbenye dị n’ala ahụ zoo onwe ha.
5 Dịka ịnyịnya ibu ọhịa nọ n’ọzara,
otu a ka ndị ogbenye si agagharị na-achọgharị ihe oriri,
ala na-adịghị epupụta ihe na-enye ụmụ ha nri.
6 Ha na-ekpokọta ahịhịa anụ ụlọ na-ata n’ubi,
na-atụtụkọtakwa mkpụrụ vaịnị nke fọdụrụ n’ubi ndị ajọ omume.
7 N’ihi enweghị uwe, ha na-agba ọtọ n’abalị,
ha enwekwaghị akwa iji kpuchie onwe ha oyi.
8 Oke mmiri ozuzo nke ugwu na-ede ha ahụ,
ha na-amaku nkume n’ihi enweghị ebe mgbaba.
9 Nwa na-enweghị nna ka a na-eji ike napụ ara.
Nwa ọhụrụ nke onye ogbenye ka a na-anara n’ihe ebe.
10 N’ihi enweghị akwa ha na-agba ọtọ na-agagharị,
ha na-ebu ukwu ọka ma nọrọ n’agụụ.
11 Ha na-asụpụta mmanụ oliv n’elu ebe e mebere maka ya,
ha na-azọchapụta mmanya vaịnị ma akpịrị na-akpọ ha nkụ.
12 Ụzụ ịsụ ude ndị na-anwụ si n’obodo na-ebili,
mkpụrụobi nke ndị e merụrụ ahụ na-eti mkpu enyemaka.
Ma ọ dịghị onye Chineke na-ahụta ka onye ikpe mara n’ihi ihe ndị a.

13 “Ọ dị ndị na-enupu isi megide ìhè,
ndị na-amaghị ụzọ ya
maọbụ na-anọgide n’ụzọ ya.
14 Mgbe ìhè nke ụbọchị gafere, ogbu mmadụ na-ebili,
gbuo onye ogbenye na onye nọ na mkpa;
n’abalị kwa, ọ na-ezoba dịka onye ohi.
15 Anya onye na-akwa iko na-ele anya chi ojiji;
ọ na-eche n’obi ya sị, ‘Ọ dịghị onye ọbụla ga-ahụ m,’
ọ na-ekpuchikwa ihu ya.
16 N’ọchịchịrị, ndị ohi na-egbuka ụlọ ndị mmadụ baa,
ma n’ehihie ha na-emechibido onwe ha ụzọ n’ime ụlọ;
o nweghị ihe ha na ìhè jikọrọ.
17 N’ebe ha niile nọ, etiti abalị bụ ụtụtụ ha,
ha na ihe egwu nke ọchịchịrị bụ enyi.

18 “Ma ha bụ ụfụfụ dị n’elu mmiri;
ala ha ketara bụ ihe a bụrụ ọnụ,
nke mere na ọ dịghị onye na-agakwa n’ubi vaịnị ha.
19 Dịka okpomọkụ na ọkọchị si eme ka mkpụrụ mmiri oyi gbazee,
otu a ka ala ili si ewere ndị mehiere n’ike.
20 Akpanwa na-echefu ha,
ikpuru na-eji ha mere ihe oriri;
anaghị echetakwa ndị ajọọ omume
kama a na-etiji ha dịka osisi.

21 Ha na-akpagbu nwanyị aga na nwanyị na-enweghị nwa,
ha adịghị elekọta nwanyị di ya nwụrụ.
22 Ma Chineke na-eji ike ya dọkpụrụ ndị dị ike nke ukwuu pụọ,
ọ bụ ezie na ha bụ ndị ihe na-agara nke ọma, ma ha enweghị nkwa nke ndụ.
23 Ọ nwere ike ime ka ha dabere na ntụkwasị obi na o nweghị ihe pụrụ ịmetụ ha,
ma anya ya dịkwasịrị ụzọ ha niile.
24 A na-ebuli ha elu nwa mgbe nta, ma e mesịa, ha anọkwaghị,
a na-eweda ha n'ala chikọtakwa ha dịka ndị ọzọ,
a na-ebipụ ha dịka ukwu ọka.

25 "Ọ bụrụ na ọ bụghị otu a, onye pụrụ ị sị na ihe m kwuru bụ okwu ụgha
si otu a mee ka okwu m bụrụ ihe efu?"

# 25

*Okwu Bildad*

1 Mgbe ahụ, Bildad onye Shua zara sị:
2 "Ike ọchịchị na oke egwu bụ nke Chineke;
Ọ bụ ya na-eme ka udo dịrị n'eluigwe.
3 Onye pụrụ ịgụta usuu ndị agha ya ọnụ?
Onye kwa ka ìhè ya na-adịghị enwukwasị?
4 Mmadụ ọ ga-esi aṅaa bụrụ onye ezi omume n'ihu Chineke?
Mmadụ nwanyị mụrụ ọ ga-esi aṅaa dị ọcha?
5 Lee, ọ bụladị ọnwa adịghị achawapụta,
ọzọ kpakpando adịghị ọcha n'anya ya,
6 ka ọfọdụzie nwa mmadụ efu mụrụ, nke bụ naanị ikpuru,
mmadụ, nke bụ naanị idide."

# 26

*Okwu Job*

1 Mgbe ahụ, Job zaghachiri:
2 "Lee ka i si nyere onye na-adịghị ike aka!
Leekwa ka i si zọpụta ogwe aka nke onye ume na-adịghị!
3 Lee ụdị ndụmọdụ i nyerela onye na-enweghị amamihe!
Leekwa ụdị oke nghọta nke ị gosipụtara.
4 Ọ bụ onye nyeere gị aka ikwu okwu ndị a?
Mmụọ onye si n'ọnụ gị kwuo okwu?

5 "Ndị nwụrụ anwụ nọ n'oke ihe mgbu,
ha na ndị nọ n'okpuru mmiri na ndị bi n'ime ya.
6 Ala mmụọ gba ọtọ n'ihu Chineke;
mbibi* tọgbọkwara na-enweghị ihe kpuchiri ya.
7 Ọ na-agbasapụ elu elu nke mbara eluigwe n'elu ebe tọgbọrọ n'efu.
O nweghị ihe o kokwasịrị ụwa n'elu ya.
8 Ọ na-ekechi mmiri n'ime igwe ojii,
ma ịdị arọ ya adịghị eme ka igwe ojii gbawaa.
9 Ọ na-ekpuchi ihu ọnwa nke dị n'uju ya,†
na-agbasakwa igwe ojii ya n'elu ya,
10 O kewapụtara oke n'elu ogbu mmiri,

* **26:6** 26:6 Maọbụ, Abadọn n'asụsụ Hibru † **26:9** 26:9 Ọ na-ekpuchi ihu ocheeze nke ọnwa

ka ọ bụrụ oke dị n'etiti ìhè na ọchịchịrị.
11 Ogidi niile nke eluigwe na-ama jijiji,
tụọkwa oke egwu n'ihi ịba mba ya.
12 N'ike ya ka o ji kpalie oke osimiri;
ọ bụ amamihe ya ka o ji tigbuo Rehab.
13 Ọ bụ site na nkuume ya ka mbara eluigwe ji maa mma;
aka ya dupuru agwọ na-agba ọsọ.
14 Ihe ndị a bụ ọnụ ọnụ ọrụ aka ya;‡
lee ka o si dị nta bụ okwu ntakwu anyị na-anụ gbasara ya!
Onye pụrụ ịghọtacha ịda ụda§ nke ike ya?"

# 27

*Okwu ikpeazụ Job nye ndị enyi ya*

1 Ma Job gakwara n'ihu n'okwu ya sị:
2 "N'ezie, dịka Chineke na-adị ndụ, onye jụrụ ikpere m ikpe ziri ezi,
Onye pụrụ ime ihe niile, onye mere ka m hụ ihe ilu nke mkpụrụobi.
3 Ogologo mgbe m nwere ndụ n'ime m,
mgbe iku ume Chineke dịkwa n'imi m,
4 egbugbere ọnụ m agaghị ekwu ihe ọjọọ,
ire m agakwaghị ekwu okwu aghụghọ.
5 Agaghị m ekwenye na ihe unu kwuru ziri ezi;
ruo mgbe m ga-anwụ, agaghị m agọnarị izuoke m.
6 Aga m ejigidesi ezi omume m aka ike, agaghị m ahapụ ya;
o nwekwaghị mgbe obi m ga-ata m ụta ogologo ụbọchị niile nke ndụ m.

7 "Ka ndị iro m dịrị ka ndị ajọ omume,
ka ndị na-ebili imegide m dịrị ka ndị na-emebi iwu.
8 N'ihi nke a, gịnị bụ olileanya onye na-amaghị Chineke nwere mgbe e bipụrụ ya,
mgbe Chineke wepụrụ ndụ ya?
9 Chineke ọ na-anụ ịkwa akwa ya
mgbe nsogbu dakwasịrị ya?
10 Ọ ga-achọta ihe ụtọ n'ime Onye pụrụ ime ihe niile?
Ọ ga-akpọku Chineke mgbe niile?

11 "Aga m akụziri unu maka ike nke Chineke;
agaghị m ezo ihe banyere ụzọ Onye pụrụ ime ihe niile.
12 Unu onwe unu ahụla ihe ndị a,
gịnị mere unu ji ekwu okwu ndị a na-enweghị isi?

13 "Nke a bụ oke Chineke na-ekenye ndị ajọ omume,
nke a bụkwa ihe nketa nke onye ahụ na-adịghị eme ebere na-anata site n'aka
Onye pụrụ ime ihe niile.
14 N'agbanyeghị ọnụọgụgụ ụmụ ya, oke ha bụ mma agha;
ụmụ ya agaghị enwe ihe oriri ga-ezuru ha.
15 Ọrịa na-efe efe ga-egbu ndị ya fọrọ ndụ;
ọzọ, ụmụ nwanyị ha hapụrụ nwụọ agaghị akwa akwa n'ihi ha.
16 Ọ bụrụ na ọ kpakọta ọlaọcha dịka uzuzu,
ma tụkọtakwa uwe dịka aja ụrọ,

‡ **26:14** 26:14 Ihe ndị a bụ ụfọdụ n'ime ihe ọ na-eme § **26:14** 26:14 Egbe eluigwe nke ike

17 ihe ndị ọ kpakọtara bụ onye ezi omume ga-eyi ha,
ndị aka ha dị ọcha ga-ekekwa ọlaọcha ya.
18 Ụlọ o wuru dị ka ụlọ nla,
dịkwa ka ụlọ ntu nke onye nche wuru.
19 Ọ na-edina ala dịka ọgaranya ma ọ gaghị edinakwa dịka ọgaranya ọzọ;
mgbe ọ saghere anya ya abụọ, ihe niile efuola.
20 Oke egwu na-adakwasị ya dịka idee mmiri;
oke ebili mmiri na-ebufu ya n'abalị.
21 Ifufe si n'ọwụwa anyanwụ na-ebufu ya, agaghị ahụkwa ya anya ọzọ;
ọ na-azachapụ ya site n'ọnọdụ ya.
22 Ọ na-atụfu ya na-enweghị ebere
mgbe ọ na-eme ngwangwa ịgbapụ site n'ike ya.
23 Ọ na-akụkọta aka ya n'ịkwa emo,
were ịma ọsụ wezuga ya n'ọnọdụ ya."

# 28

*Nwa mgbe nta: Ebe a na-achọta amamihe*

1 Olulu e si egwupụta ọlaọcha dị;
ebe a na-anụcha ọlaedo dịkwa.
2 E si n'ime ala ewepụta igwe,
ọlanchara na-agbazepụta site nkume na-aghọ ọla.
3 Mmadụ na-eme ka ọchịchịrị nwee ọgwụgwụ;
ọ na-enyochapụta ihe dị ebe dị anya,
na-achọ igwe n'ime oke ọchịchịrị.
4 Ọ na-egwu olulu n'ebe dị anya site n'ebe mmadụ bi,
n'ebe ụkwụ mmadụ na-adịghị eru,
n'ebe ahụ dị anya site n'ebe mmadụ bi ka ha na-akwụfeghari.*
5 Ala ahụ e si na ya enweta nri,
abụrụla ihe e ji ọkụ gbanwee n'okpuru ya.
6 Safaia bụ nkume dị oke ọnụahịa dị na nkume ya;
aja ya nwekwara mkpụrụ ọlaedo.
7 Ọ dịghị anụ ufe nke na-eri anụ maara ụzọ ahụ zoro ezo;
anya agụ nkwọ ọbụla ahụtụbeghị ya.
8 Anụ ọhịa dị nganga anaghị azọnye ụkwụ n'elu ya,
ọdụm ọbụla adịghị awaghari n'ebe ahụ.
9 Ndị mmadụ na-eji aka na-etiwasị nkume ahụ na-enwu ọkụ
mee ka mgbọrọgwụ ugwu ahụ pụta ìhè.
10 Ha na-awapụta ọwa ụzọ n'etiti nkume ahụ,
anya ha na-ahụkwa akụnụba ya niile.
11 Ha na-achọpụta isi mmiri niile
ma meekwa ka ihe nzuzo pụta ìhè.

12 Ma olee ebe ka a ga-achọta amamihe?
Olee kwa ebe nghọta bi?
13 Mmadụ apụghị ịghọta ọnụahịa ya,
agaghị achọtakwa ya n'ala ndị dị ndụ.
14 Ogbu mmiri na-asị, "Ọ dịghị n'ime m,"

---

* **28:4** 28:4 N'oge ochie, ọ bụ n'oche e ji eriri kegide ka ndị na-egwupụta ihe dị iche iche site n'ime ala na-anọdụ ala. Mgbe a na-adọtu ha, ụkwụ ha adịghị eru ala, ha na-akwụfegharịkwa n'ihi ọnọdụ ha.

osimiri na-asị, "Ọ dịghị n'aka m."
15 A gaghị eji ọlaedo a nụchara nke ọma zụta ya,
apụghị ịtụ ihe bụ ọnụahịa ya n'ọlaọcha.
16 A gaghị eji ọlaedo nke Ọfịa zụta ya,
a gaghị ejikwa nkume dara oke ọnụahịa nke ọniks maọbụ safaia zụta ya,
17 A gaghị eji ọlaedo maọbụ kristal tụnyere ya,
maọbụ iji ejiji ọlaedo nweta ya.
18 Koral na jaspa erughị ihe a na-akpọtụ aha n'ebe ọ dị;
ọnụahịa nke amamihe karịrị ọtụtụ rubi.
19 A gaghị eji ọla topaazi nke Kush tụnyere ya;
a pụghị iji ọlaedo a nụchara anụcha zụta ya.

20 Olee ebe amamihe si abịa?
Olee ebe nghọta bi?
21 E zoro ya ezo site n'anya ihe niile dị ndụ,
e kpuchikwara ya nye ọ bụladị anụ ufe nke eluigwe.
22 Mbibi na ọnwụ na-asị;
"Naanị akụkọ ya ruru anyị ntị."
23 Chineke ghọtara ụzọ ya,
naanị ya makwara ebe obibi ya dị.
24 N'ihi na ọ na-ahụ nsọtụ nke ụwa,
na-ahụkwa ihe niile dị n'okpuru eluigwe.
25 Mgbe o hiwere ike nke ikuku,
tụọkwa mmiri n'ihe ọtụtụ,
26 mgbe o nyere mmiri ozuzo iwu
meekwa ụzọ nye egbe eluigwe na oke ikuku,
27 mgbe ahụ, o lere amamihe anya, nyochasịa ya,
meekwa ka o guzosie ike, ma nwapụtakwa ya.
28 Ọ sịrị mmadụ,
"Ịtụ egwu Onyenwe anyị, nke ahụ bụ amamihe;
ọzọ, ị sị n'ihe ọjọọ wezuga onwe bụ nghọta."

# 29

*Ngọpụ ikpeazụ Job*

1 Job gakwara n'ihu n'okwu ya sị:
2 "Ọ gaara adị m nọọ mma ma a sị na m ga-adị dịka m dị n'ọnwa ole na ole gara aga,
dịka ụbọchị ndị ahụ mgbe Chineke na-elekọta m,
3 mgbe oriọna ya na-achakwasị m n'isi
ìhè ya ka m ji jee ije n'ọchịchịrị.
4 Ewoo, otu ihe dịịrị n'ụbọchị ihe na-agara m nke ọma,
mgbe mmekọrịta mụ na Chineke mere ka ụlọ m bụrụ ebe a gọziri agọzi,
5 mgbe Onye pụrụ ime ihe niile nọnyeere m
na mgbe ụmụ m nọkwa m gburugburu,
6 mgbe ụzọ m jupụtara na mmiri ara ehi rahụrụ arahụ,
mgbe nkume na-awụpụtara m mmanụ oliv dịka mmiri na-asọ asọ.

7 "Mgbe m na-apụ n'ọnụ ụzọ ama obodo
were ọnọdụ m n'ama.
8 Ụmụ okorobịa na-ahụ m wezuga onwe ha,
ndị okenye na-ahụkwa m ma guzo n'ụkwụ ha;

9 ndịisi ọchịchị obodo na-akwụsị ikwu okwu
ma were aka ha kpuchie ọnụ ha;
10 olu ndị a na-asọpụrụ na-adakwa jụụ,
ire ha na-araparakwa ha n’akpo ọnụ.
11 N’oge ahụ, onye ọbụla nụrụ olu m na-ekwu ihe dị mma banyere m,
ndị hụkwara m na-agba ama ọma maka m.
12 N’ihi na anapụtara m ndị ogbenye na-eti mkpu enyemaka,
napụtakwa ndị mgbei na-enweghị ndị enyemaka.
13 Onye nọ n’ọnụ ọnwụ gọziri m;
emekwara m ka obi nwanyị di ya nwụrụ bụọ abụ.
14 Ana m eyikwasị ezi omume dịka uwe,
ikpe ziri ezi bụ uwe mwụda m na akwa okike nke isi m.
15 Abụ m anya nye onye ìsì,
bụrụkwa ụkwụ nye onye ngwụrọ.
16 Abụ m nna nke onye nọ na mkpa;
bụrụkwa onye gbalịrị ịhụ na ndị ọbịa natara ikpe ziri ezi.
17 Etijiri m ikiri eze nke ndị ajọ omume,
si otu a napụta ndị ha na-achọ ịdọgbu.

18 “Echere m sị, ‘Aga m anwụ n’ụlọ nke aka m,
na ụbọchị m ga-abakwa ụba dịka aja dị n’ala.
19 Mgbọrọgwụ m ga-eto rịda na mmiri,
na igirigi ga-adakwasịkwa n’alaka m abalị niile.
20 Nsọpụrụ m ga-adịgide ọhụrụ n’ime m,
ụta m ga-adịgidekwa ọhụrụ n’aka m.’

21 “Ụmụ mmadụ na-eji oke olileanya na-ege m ntị,
ha na-ederekwa duu ịnụrụ ndụmọdụ m.
22 Mgbe m kwụsịrị okwu, ha anaghị ekwukwa ọzọ.
Okwu m na-ada juu na ntị ha.
23 Ha na-echerekwa m dịka e si echere mmiri ozuzo,
na-aṅụkwa okwu m dịka ala si aṅụ mmiri ozuzo n’ọkọchị.
24 Mgbe m miiri ha ọnụ ọchị, ha adịghị ekwenye ya;
ìhè nke ihu m dị oke mkpa nye ha.
25 Ọ bụ m na-ahọpụtara ha ụzọ, na-anọdụ dịka onyeisi ha;
ebiri m dịka a ga-asị na m bụ onye eze n’etiti ndị agha ya;
na dịka onye na-akasị ndị na-eru ụjụ obi.

# 30

1 “Ma ugbu a, ha na-akwa m emo
bụ ndị bụ ụmụntakịrị n’ebe m nọ,
bụ ndị nna ha na-etorughị ndị m na-ezipụ
ka ha na nkịta na-eso atụrụ m nọkọta.
2 Uru gịnị ka ike aka ha ga-abara m,
ebe ọ bụ na ha adịghịkwa ike?
3 Ha bụ ndị ike gwụrụ site n’ụkọ na agụụ,
ha na-agagharị n’ala kpọrọ nkụ
na-awagharịkwa n’ime ọzara n’abalị.
4 N’ala ọhịa ka ha na-atụrị ahịhịa nnu,
mgbọrọgwụ osisi brum bụkwa nri ha.

5 A chụpụrụ ha site n’etiti ndị mmadụ ibe ha,
a na-etiso ha mkpu dịka ha bụ ndị ohi.
6 A chụpụrụ ha ka ha gaa biri n’ala iyi mmiri na-adịghị.
Ha bi n’etiti ọgba nkume na ọnụ a tụrụ n’ime ala.
7 Ha na-eme ụzụ n’ọhịa dịka ụmụ anụmanụ,
na-ejikọta onwe ha n’ahịhịa toro n’okpuru osisi.
8 Ha bụ ndị e ledara anya, ndị na-enweghị aha,
e sitere n’ala ahụ chụpụ ha.

9 “Ma ugbu a, abụrụla m ihe ụmụ okorobịa ji abụ abụ ịkwa emo;
abụrụkwala m okwu ha ji anọpụrụ ụbọchị.
10 Abụ m ihe ịsọ oyi nye ha, ha adịghị abịakwa m nso;
ha anaghị egbu oge igbu m asọ mmiri n’ihu.
11 Ma ugbu a, ebe ọ bụ na Chineke atọpụla eriri ụta m ma kpagbuo m,
o nwekwaghị ihe ha na-adịghị eme n’ihu m.
12 N’aka nri m mba ndị a na-ebuso m agha.
Ha na-esiri ụkwụ m ọnya,
ha na-ewuli mgbidi ha nọchibido m.
13 Ha na-etiwasị ụzọ m,
ha kwadoro mmekpa ahụ m.
‘O nweghị onye ga-enyere ya aka,’ ka ha na-ekwu.
14 Ha na-abịakwasị m dịka ndị sitere ebe e tipuru mgbidi;
n’etiti mbibi ya ha na-enu onwe ha enute n’ebe m nọ.
15 Oke egwu abịakwasịla m;
ugwu m adịla ka ihe ifufe buuru,
nchekwa m agabigala dịka igwe ojii.

16 “Ugbu a, ndụ m ji nwayọọ nwayọọ na-agabiga;
ụbọchị ahụhụ ejidela m.
17 Abalị na-esewasị ọkpụkpụ m,
ihe mgbu m nke na-ata ata enweghị ezumike.
18 N’oke ike ya, Chineke na-adịrị m ka uwe;
ọ na-ekechi m dịka olu uwe m.
19 Ọ na-atụba m n’ime apịtị,
mee ka m ghọọ ntụ na aja.

20 “Chineke m, anam etiku gị ma ị dịghị aza m;
anam eguzo ọtọ, ma naanị anya ka i lere m.
21 Ị na-emegide m na-enweghị obi ebere;
i ji aka gị dị ike megide m.
22 Ị na-ejide m n’ike welie m elu chụba m n’oke ifufe,
ị na-eme ka m bụrụ onye na-akwụfegharị n’oke ifufe nke mmiri.
23 Amara m na ị ga-eweda m ruo ọnwụ;
ruo n’ebe e debeere mmadụ niile dị ndụ.

24 “N’ezie, ọ dịghị onye na-emegide onye e tidara n’ala;
mgbe ọ na-eti mkpu n’ọnọdụ nhụju anya ya na-achọ enyemaka.
25 Ọ bụ na m akwaghị akwa n’ihi ndị nọ na nsogbu;
ọ bụ na mmụọ m erughị ụjụ n’ihi ndị ogbenye?
26 Ma mgbe m lere anya ihe ọma, ihe ọjọọ bịara;

mgbe m lere anya ìhè, mgbe ahụ ka ọchịchịrị bịara.
27 Obi m anaghị ezu ike n'ime m;
ụbọchị ahụhụ na-ezute m.
28 Ana m agagharị na-eji nji ma ọ bụghị n'ihi oke anwụ.
Eguzola m ọtọ n'ọgbakọ ndị mmadụ tikuo ha ka ha nyere m aka.
29 Abụrụla m nwanne nkịta ọhịa;
onye ya na ikwighịkwighị na-esogharị.
30 Akpụkpọ ahụ m na-eji nji na-ekpe iwere;
anụ ahụ m na-anụ ọkụ dịka ihe a kwanyere ọkụ.
31 Ụda ụbọ akwara m bụ ụda iru ụjụ;
ụda ọja m bụkwa ụda iti mkpu akwa.

# 31

1 "Mụ na anya m gbara ndụ kpebie
na o nweghị mgbe m ga-ele nwaagbọghọ ọbụla anya n'ihi agụụ ịkwa iko.*
2 N'ihi na, gịnị bụ oke mmadụ ketara n'aka Chineke onye bi n'elu;
gịnị bụkwa ihe nketa ya site n'aka Onye pụrụ ime ihe niile nọ n'elu?
3 Ọ bụghị mbibi nye ndị ajọ omume,
nhụju anya nye ndị na-eme ihe ọjọọ?
4 Ọ bụ na ọ naghị ahụ ụzọ m niile,
gụọkwa nzọ ukwu m niile ọnụ?

5 "Ọ bụrụ na m gara ije n'ụzọ ụgha
maọbụ na ụkwụ m mere ngwangwa gbasoro ụzọ aghụghọ,
6 ka Chineke were ihe ọtụtụ ziri ezi tụọ m,
ọ ga-amata na m bụ onye na-enweghị ịta ụta.
7 Ọ bụrụ na nzọ ụkwụ m si n'ụzọ wezuga onwe ya,
ọ bụrụ anya m na-edu obi m,
ma ọ bụkwanụ na aka m abụọ bụ ihe e merụrụ emerụ,
8 ọ bụrụ otu a, ka onye ọzọ rie ihe m kụrụ n'ubi,
ka e hopuchakwa ihe niile m kụrụ n'ubi.

9 "Ọ bụrụ na ọ gụọla obi m agụụ ijekwuru nwanyị ọzọ,
maọbụ na m ezoola n'ọnụ ụzọ onye agbataobi m,
10 mgbe ahụ, ka nwunye m kwọọrọ nwoke ọzọ nri,
ka ndị ikom ọzọ dinaa ya.
11 N'ihi na nke ahụ ga-abụ ihe ihere,
bụrụkwa mmehie kwesiri ka e kpee ya ikpe.
12 Ọ bụ ọkụ na-ere ruo n'ebe ịla n'iyi;†
nke pụrụ ihopu ihe owuwe ubi m niile.

13 "Ọ bụrụ na m jụrụ ikpe ikpe ziri ezi
nye nwoke maọbụ nwanyị ọbụla na-ejere m ozi
mgbe ha nwere mkpesa megide m,
14 gịnị ka m ga-eme mgbe Chineke bịakwutere m?
Gịnị ka m ga-aza ya mgbe ọ jụrụ m ajụjụ?
15 Ọ bụ na ọ bụghị onye kpụrụ m n'afọ nne m mekwara ha?
Ọ bụghị ya kpụrụ anyị abụọ n'afọ nne anyị?

---

* **31:1** 31:1 Maọbụ, anya ọjọọ Mat 5:28 † **31:12** 31:12 Maọbụ, Mbibi

16 “Ọ bụrụ na m ajụ inye ndị ogbenye ihe dị ha mkpa,
ma ọ bụrụkwa na m eme ka anya nwanyị di ya nwụrụ dalaa ya n’isi,
17 ọ bụrụ na m dobere ihe oriri m maka naanị m,
ma jụ inye ya ụmụ mgbei;
18 ma site n’okorobịa m, azụlitere m ha dịka nna kwesiri,
ọ bụkwa site na nwantakịrị ka m bụ onyendu nye nwanyị di ya nwụrụ.
19 Ọ bụrụ na ọ dị mgbe m hụrụ onye na-ala n’iyi n’ihi enweghị akwa,
maọbụ onye nọ n’ụkọ nke na-enweghị uwe,
20 ma obi ha agọzighị m
n’ihi iji ajị sitere n’ụmụ atụrụ m mee ka o nwee okpomọkụ n’ahụ ya.
21 Ọ bụrụ na m eweliela aka m megide onye nna ya nwụrụ,
n’ihi na m mara na m nwere nkwuwa okwu n’ụlọikpe,
22 mgbe ahụ, ka aka m si n’ubu m dapụ,
ka e tijiekwa ogwe aka m site na nkwonkwo ya.
23 N’ihi na atụrụ m egwu mbibi na-esite n’aka Chineke,
n’ihi egwu ebube ya, enweghị m ike ime ihe ndị a.

24 “Ọ bụrụ na ntụkwasị obi m dị n’ọlaedo,
maọbụ na m sị ọlaedo a nụchara anụcha, ‘Ị bụ ebe ndabere m.’
25 Ọ bụrụ na m ṅụrịrị ọṅụ n’ihi oke akụ m,
ihe nnweta nke aka m ritere n’uru,
26 ọ bụrụ na m legidere anyanwụ anya n’ebube ya,
maọbụ ọnwa n’ike nchawa ya,
27 nke ga-eme ka obi m bụrụ ihe a rafuru na nzuzo,
maọbụ aka m abụrụ ihe e weliri ife ha ofufe,
28 mgbe ahụ, ihe ndị a ga-abụ mmehie nke a ga-ekpe ikpe,
n’ihi na m gaara abụ onye na-ekwesighị ntụkwasị obi nye Chineke, Onye bi n’elu.

29 “Ọ bụrụ na m ṅụrịrị ọṅụ n’ihi ọdachi nke dakwasịrị onye iro m
maọbụ chịa ọchị n’ihi nsogbu nke dakwasịrị ya,
30 ekwebeghị m ka ọnụ m mehie
megide ha site n’ịbụ ndụ ha ọnụ.
31 Ọ bụrụ na o nwebeghị oge ndị nọ n’ezinaụlọ m kwuru okwu sị.
‘Onye ka ọ bụ nke na-erijubeghị afọ site n’ihe oriri Job na-enye?’
32 Ma ọ dịghị onye ọbịa na-anọ ọnọdụ abalị n’ama,
n’ihi ụzọ m na-eghe oghe mgbe ọbụla nye ndị ije.
33 Ọ bụrụ na m na-ezo mmehie m dịka ndị ọzọ,‡
site n’izobe mmehie m n’ime obi m,
34 n’ihi na m tụrụ egwu igwe mmadụ,
si otu a, tụọ oke egwu n’ihi nleda anya nke ndị agbụrụ dị iche iche,
nke mere ka m gbaa nkịtị ghara ịpụ n’ezi.

35 (“O, a sị na o nwere onye ga-ege m ntị!
Ana m ebinye aka m n’okwu ngọpụ m, ka Onye pụrụ ime ihe niile za m,
ka onye na-ebo m ebubo depụta ihe o nwere megide m n’akwụkwọ.
36 N’ezie, aga m eyiri ya n’ubu m,
aga m eyinyekwa ya dịka okpueze.
37 Aga m agụkọrọ ya nzọ ụkwụ m niile,
aga m ejekwuru ya dịka ọkpara eze.)

‡ **31:33** 31:33 Maọbụ, dịka Adam mere

38 “Ọ bụrụ na ala m etie mkpu megide m,
ọ bụrụ na olulu dị na ya ejupụta n’anya mmiri,
39 ọ bụrụ na m eripịa ihe o mepụtara na-akwụghị ụgwọ,
maọbụ mee ka mmụọ ndị bi n’ime ya daa mba,
40 ka ogwu pupụta n’ọnọdụ ọka wiiti,
ka ahịhịa na-esi isi ọjọọ pupụtakwa n’ọnọdụ ọka balị.”
Okwu Job agwụla.

# 32

*Okwu Elihu*

1 Mgbe ahụ, ndị ikom atọ ndị a kwusịrị ịsa Job okwu ọbụla ọzọ n’ihi na ọ hụrụ
onwe ya dịka onye ezi omume. 2 Ma oke iwe were Elihu nwa Barakel onye obodo
Buz, si n’ikwu Ram megide Job n’ihi na ọ gụrụ onwe ya dịka onye ezi omume karịa
Chineke. 3 Iwe wekwara ya n’ebe mmadụ atọ ndị enyi Job nọ, n’ihi na ọ dịghị ebe ha
hụtara Job dịka onye ụzọ ya na-ezighị ezi, ma ha gara n’ihu ịma ya ikpe. 4 Ma ruo
ugbu a, Elihu agwaghị Job okwu ọbụla n’ihi na ndị ọzọ bụ okenye n’ebe ọ nọ. 5 Ma
mgbe ọ hụrụ na ndị ikom atọ ndị a enweghị okwu ọzọ ha ga-ekwu, nke a kpasuru ya
iwe.

6 Ma Elihu nwa Barakel onye obodo Buz zara sị:
“Abụ m nwantakịrị n’ọnụọgụgụ afọ m gbara,
ma unu bụ ndị okenye;
ọ bụ nke a mere m ji gbaa nkịtị n’ụjọ,
hapụ ịgwa unu ihe m maara.
7 Echere m n’obi m sị, ‘Ọnụọgụgụ afọ ga-ekwu okwu;
ọtụtụ afọ ka ọ dịkwara ikuzi amamihe.’
8 Ma ọ bụ mmụọ dị n’ime mmadụ,
nkuume nke Onye pụrụ ime ihe niile na-enye nghọta.
9 Ọ bụghị naanị ndị okenye bụ ndị mara ihe,
ọ bụkwaghị naanị ndị gbara ọtụtụ afọ bụ ndị na-aghọta ihe ziri ezi.

10 “Ya mere m na-asị, Geenụ m ntị;
mụ onwe m ga-agwa unu ihe m ma.
11 Echeere m oge niile unu na-ekwu okwu,
egere m ntị na ntụgharị uche unu,
oge niile unu na-achọpụta okwu unu ga-ekwu.
12 Egere m nnọọ unu ntị,
ma ọ dịghị onye n’ime unu nwerela ike gosi Job ụzọ o si jehie;
ọ dịghị onye n’ime unu zaghachiri ịrụ ụka ya.
13 Unu ekwula sị, ‘Anyị achọtala amamihe;
ka Chineke na-abụghị mmadụ gosi ya mmehie ya.’
14 Ma Job edozighị okwu ya n’usoro megide m,
ya mere agaghị m eji ịrụ ụka unu zaghachi ya.

15 “Ha adaala mba na-enweghị ihe ọzọ ha ga-ekwu;
ike okwu agwụla ha.
16 M ga-echere, ugbu a ha deere duu,
ugbu a ha guzo ebe ahụ na-enweghị ọsịsa?
17 Mụ onwe m ga-ekwu uche m;
ihe m maara ka mụ onwe m ga-ekwu,

18 n’ihi na okwu juru m ọnụ,
ọ bụkwa mmụọ dị n’ime m na-akwagide m.
19 N’ime m, adị m ka mmanya na-agbọ ụfụfụ a kwuchiri na karama,
dịka karama akpụkpọ ọhụrụ dị njikere ịgbawa.
20 Aga m ekwurịrị okwu ka m sị n’ụzọ dị otu a chọta izuike;
aga m emeghe egbugbere ọnụ m ma zaghachi.
21 Agaghị m ekpe mmadụ ọbụla ikpe mmegide
maọbụ jaa mmadụ ọbụla mma n’ụzọ na-ezighị ezi.
22 N’ihi na ọ bụrụ na m bụ ọka nwere ire ụtọ n’ịja ihe na-ezighị ezi mma,
Onye kere m ga-ewepụ m n’oge na-adịghị anya.

# 33

1 “Ma ugbu a, Job, gee ntị n’okwu m;
ṅaakwa ntị nke ọma n’ihe niile m ga-ekwu.
2 Ejikerela m imeghe ọnụ m ikwu okwu;
okwu m dịkwa n’ọnụ ire m.
3 Okwu m sitere n’izi ezi nke obi m;
egbugbere ọnụ m na-ekwu naanị eziokwu nke m ma.
4 Ọ bụ Mmụọ nke Chineke mere m,
nkuume nke Onye pụrụ ime ihe niile na-enye m ndụ.
5 Zaghachi m ma ọ bụrụ na i nwere ike;
jikere onwe gị ka anyị rụrịtaa ụka.
6 Mụ onwe m dị ka i si dị n’ihu Chineke;
mụ onwe m bụkwa ihe esitere n’ụrọ kpuo.
7 Egwu m ekwesighị ime ka ị tụọ oke ụjọ,
ma ọ bụkwanụ ogwe aka m ịdị arọ n’ahụ gị.

8 “Ma ị kwuola ya na ntị m,
anụrụ m okwu ndị ahụ niile,
9 ‘Mụ onwe m dị ọcha n’obi m, o nweghị ihe na-ezighị ezi m mere;
adị m ọcha na-enweghị mmehie ọbụla.
10 Ma Chineke chọtara ezughị oke n’ebe m nọ;
ọ na-ahụta m dịka onye iro ya.
11 Ọ na-eji mkpọrọ kechie ụkwụ m abụọ;
ọ na-enyochakwa ụzọ m niile.’

12 “Ma ana m agwa gị, na nke a i meghị nke ọma,
n’ihi na Chineke dị elu karịa mmadụ.
13 Gịnị mere i ji na-ekpesara ya
na ọ dịghị azaghachi mmadụ ọbụla okwu?
14 Ma Chineke na-ekwu okwu, ugbu a n’otu ụzọ, ugbu a kwa n’ụzọ ọzọ,
ọ bụ ezie na mmadụ nwere ike ghara ịghọta ya.
15 Na nrọ maọbụ n’ọhụ nke abalị,
mgbe ụmụ mmadụ na-ada n’oke ụra,
mgbe ha na-atụgharị n’elu ihe ndina ha.
16 O nwere ike kwunye ha okwu na ntị
ma mee ka egwu tụọ ha site n’ọtụtụ ịdọ aka na ntị;
17 ka mmadụ si n’ajọ omume ya cheghariạ,
ka o si na nganga ya wezuga onwe ya,
18 ka o chebe mkpụrụobi ya site n’olulu,

chebekwa ndụ ya site n’ịla n’iyi nke mma agha.

19 “Ọzọkwa, a na-abara mmadụ mba site n’ihe mgbu nke na-eme ka o dinara n’elu ihe ndina,
ebe ọkpụkpọ niile dị ya n’ahụ na-anọgide na-egbu ya mgbu.
20 Nke na-eme ka ndụ ya na-asọ ihe oriri oyi,
ọzọ, mkpụrụobi ya na-ajụkwa nri dịkarịsịrị ụtọ.
21 Anụ ahụ ya na-abụ ihe na-ala n’iyi,
ma ọkpụkpụ ya; nke bụ ihe zoro ezo na mbụ, na-apụta ihe ugbu a.
22 Mkpụrụobi ya na-abịaru ili nso,
ndụ ha na-anọkwa nso n’aka ndị na-ejere ọnwụ ozi.
23 Ma a sị na e nwere mmụọ ozi nọ ya n’akụkụ,
dịka onye nkwuchite ọnụ, otu onye n’etiti puku mmadụ,
onye ga-agwa mmadụ ihe ziri ezi nye ya,
24 ọ na-emere onye ahụ amara, na-asịkwa Chineke,
‘Napụta ya, ekwela ka ọ gbadaa n’ime olulu ili;
achọtala ihe mgbapụta n’ihi ya.
25 Ka ahụ ya nwogharịa dịka nke nwantakịrị,
ka a eweghachi ike ya dịka ọ dị n’ụbọchị okorobịa ya.’
26 Mgbe ahụ, onye ahụ ga-arịọ Chineke arịrịọ ma chọtakwa ihuọma ya,
ha ga-ahụ ihu Chineke ma tiekwa mkpu ọṅụ,
ọ na-enyeghachi ha ezi ihe n’ihi ezi omume ya.
27 Mgbe ahụ, ọ na-abịakwute ụmụ mmadụ sị ha:
‘Emehiere m, mee ihe ziri ezi ka ọ bụrụ ajọ omume,
ma anataghị m ihe kwesiri ịbụ ụgwọ ọrụ m;
28 ọ gbapụtara mkpụrụobi m ka m ghara ịrịda n’olulu ili,
ya mere aga m adị ndụ hụkwa ìhè nke ndụ.’

29 “Ihe ndị a niile ka Chineke na-emere mmadụ
ugboro abụọ, ọbụladị ugboro atọ.
30 Ka ọ dọghachite mkpụrụobi ya site n’olulu ili,
ka ìhè nke ndụ si otu a mụkwasị ya.

31 “Gee ntị, Job, ma nụrụ okwu m;
dere jii ka m kwuo okwu.
32 Ọ bụrụ na i nwere ihe ị chọrọ ikwu, zaghachi m;
kwupụ okwu, n’ihi na achọrọ m ịgụ gị n’onye ezi omume.
33 Ma ọ bụghị otu a, gee m ntị;
dere jii, ka m zi gị amamihe.”

## 34

1 Mgbe ahụ Elihu sịrị:
2 “Nụrụ okwu m, unu ndị amamihe;
gee m ntị unu ndị ikom nwere mmụta.
3 Ntị na-anwale okwu dịka
ire si anụ ụtọ ihe oriri.
4 Ka anyị chọpụtara onwe anyị ihe ziri ezi;
ka anyị nọkọta mụta ihe dị mma.

5 “Job na-asị, ‘Abụ m onye ezi omume,
ma Chineke na-anapụ m ikpe ziri ezi.

6 Ọ bụ eziokwu na aka m dị ọcha
ma a na-ahụta m dịka onye ụgha;
ọ bụ eziokwu na ikpe amaghị m
ma ọnya na-enweghị ngwọta ka àkụ ya na-enye m.'
7 Olee nwoke dịka Job,
nke na-aṅụ ịkwa emo dịka mmiri?
8 Ya na ndị na-eme ajọ ihe bụ enyi,
ya na ndị ajọ omume na-emekọkwa ihe.
9 N'ihi na ọ na-asị, 'Ọ dịghị uru dị ya
na mmadụ na-achọ ime ihe na-atọ Chineke ụtọ.'*

10 "Ya mere, geenụ m ntị, unu ndị ikom nwere nghọta.
Ya bụrụ ihe dị anya n'ebe Chineke nọ, bụ ime ajọ omume,
bụrụkwa ihe dị anya n'ebe Onye pụrụ ime ihe niile nọ, bụ ime ihe na-ezighị ezi.
11 Ọ na-akwụghachi onye ọbụla dịka ihe o mere si dị,
ọ na-ewetara mmadụ dịka omume ya kwesiri.
12 Ọ bụ ihe a na-ekwesighị iche n'uche na Chineke pụrụ ime ihe na-ezighị ezi,
na Onye pụrụ ime ihe niile ga-ekpe ikpe n'ezighị ezi.
13 Onye họpụtara ya ịchị ụwa?
Onye mere ya onye nlekọta ụwa niile?
14 Ọ bụrụ na ọ bụ ebumnuche ya
iweghachi mmụọ ya na nkuume ya,
15 mmadụ niile ga-alakọta n'iyi,
mmadụ niile ga-alaghachikwa n'aja.

16 "Ọ bụrụ na i nwere nghọta, nụrụ nke a;
gee ntị n'okwu m.
17 Ọ pụrụ ịchị bụ onye ahụ kpọrọ ikpe ziri ezi asị?
Ị ga-ama Onye ezi omume na onye dị ike ikpe?
18 Ọ bụghị ya na-agwa ndị eze okwu sị, 'Unu abaghị uru,'
ma na-agwakwa ndị a mara aha ha sị, 'Unu bụ ndị ajọ omume.'
19 Onye na-adịghị ekpe ikpe mmegide† nye ụmụ ndị ikom eze,
onye na-adịghị emenyere ndị ọgaranya, ma megbuo ndị ogbenye,
n'ihi na ha niile bụ ọrụ aka ya.
20 N'otu ntabi anya, ha na-anwụ n'ime etiti abalị;
ndị ahụ na-ama jijiji ma gabiga;
a na-ewezugakwa ndị dị ike ma ọ bụghị site n'aka mmadụ.

21 "Anya ya na-elekwasị ụzọ niile nke ụmụ mmadụ;
ọ na-ahụkwa nzọ ụkwụ ha niile.
22 Ọ dịghị ọchịchịrị dị, ọ dịghịkwa oke ọchịchịrị dị,
ebe ndị na-eme ajọ ihe pụrụ izo.
23 Ọ dịghị mkpa ọ diịrị Chineke ịga n'ihu inyocha ụmụ mmadụ,
nke mere na ha ga-abịa n'ihu ya maka ikpe ikpe.
24 Na-ajụghị ajụjụ Chineke na-akụtu ndị a maara aha ha
ma were ndị ọzọ dochie n'ọnọdụ ha.
25 N'ihi na ọ na-agụkọ ọrụ ha niile,
ọ na-achụpụ ha n'abalị mee ka ha ghọọ ndị e gwepịara egwepịa.
26 N'ebe mmadụ niile ga-ahụ ha ka ọ na-ata ha ahụhụ

* **34:9** 34:9 Mal 3:14 † **34:19** 34:19 Dit 10:17; Rom 2:11

n'ihi ajọ omume ha,
27 n'ihi na ha sitere n'iso ya wezuga onwe ha,
ha enweghịkwa uche ilebanye anya n'ụzọ ya ọbụla.
28 Ha mere ka iti mkpu akwa nke ndị ogbenye ruo ya ntị,
nke mere na ọ nụrụ akwa ndị nọ na mkpa.
29 Ma ọ bụrụ na ọ gba nkịtị, onye ga-ama ya ikpe?
Ọ bụrụ na o zoo ihu ya, onye pụrụ ịhụ ya?
Ma ya onwe ya na-achị isi n'ebe mmadụ na mba nọ,
30 igbochi nwoke na-adịghị atụ egwu Chineke ịchị obodo,
ka ọ gharakwa ịbụ ihe ọnya nye ndị mmadụ.

31 "Ọ bụrụ na mmadụ a sị Chineke,
'Abụ m onye ikpe mara ma agaghị m emehie kwa ọzọ.
32 Biko, zi m ihe ndị ahụ m na-apụghị‡ ịhụ;
ọ bụrụ na m emehiela, agaghị m emekwa ya ọzọ.'
33 Chineke ọ ga-akwụghachi gị ụgwọ ọrụ site na mkpebi§ gị
mgbe ị jụrụ icheghari?
Gị onwe gị ga-ekpebi, ọ bụghị mụ;
ya mere gwa m ihe ị mara.

34 "Ndị ikom ndị nwere nghọta na-ekwu si,
ndị amamihe nụrụ okwu m na-asị m,
35 'Job na-ekwu okwu dịka onye na-amaghị ihe;
okwu ya dị ka nke onye na-enweghị uche.'
36 Ọ ga-adị nnọọ mma ma a sị na a nwaa Job ruo nsọtụ
maka ọsịsa ya dịka nke ajọ mmadụ!
37 Ọ na-atụkwasị nnupu isi n'elu mmehie ya;
na-akụ aka n'etiti anyị n'ụzọ ịkwa emo,
ma werekwa okwu nkwulu bara ụba megide Chineke."

# 35

1 Mgbe ahụ, Elihu sịrị:
2 "Ị na-eche na nke a ziri ezi?
Ị sịrị, 'Na m ziri ezi ọ bụghị Chineke.'
3 N'agbanyeghị ihe ndị a, ị na-ajụ ya si, 'Uru gịnị ka ọ baara m,
gịnị bụ uru m ma ọ bụrụ na emehieghị m?'

4 "Ọ ga-amasị m ịzaghachi gị,
zaghachikwa ndị enyi gị na ha nọ.
5 Lelie anya na eluigwe ma hụkwa.
Legide mbara igwe na igwe oji niile, nke dị anya karịa gị.
6 Ọ bụrụ na i mehie, olee ụzọ nke a si metụta ya?
Ọ bụrụ na mmehie gị bara ụba, gịnị ka nke a pụrụ ime ya?
7 Ọ bụrụ na ị bụ onye ezi omume, gịnị ka ị na-enye ya,
maọbụ gịnị ka ọ na-anata site n'aka gị?
8 Ajọ omume gị na-emetụta naanị mmadụ dịka gị,
ma ezi omume gị na-emetụta naanị ụmụ ndị mmadụ.

9 "Ụmụ mmadụ na-eti mkpu akwa n'ihi ịba ụba nke mmegbu,

‡ **34:32** 34:32 Maọbụ, amaghị § **34:33** 34:33 Ya bụ, nrọpụta

ha na-arịọ arịrịọ enyemaka site n’aka ndị dị ike.
10 Ma ọ dịghị onye na-asị, ‘Olee ebe Chineke onye kere m nọ,
onye na-enye abụ n’ime abalị,
11 onye na-akụziri anyị ihe karịa ka ọ na-akụziri ụmụ anụ ọhịa nke ụwa,
onye na-eme ka anyị bụrụ ndị maara ihe karịa ụmụ nnụnụ* nke igwe?’
12 Ọ dịghị azaghachi mgbe ụmụ mmadụ na-eti mkpu akwa,
n’ihi ịnya isi nke ndị ajọ omume.
13 N’ezie, Chineke adịghị aṅa ntị n’arịrịọ efu ha;
Onye pụrụ ime ihe niile a dịghị elebara ya anya.
14 Ma ya bụrụzie nke a ị na-ekwu, ọ ga-esi aṅaa gee ntị
mgbe ị na-ekwu na ị dịghị ahụ ya anya,
na i burula ikpe gị bịa n’ihu ya
na ị ga-anọkwa na-eche ya!
15 Ọzọ, n’ihi na iwe ya adịghị eweta ntaramahụhụ,
n’ihi na ọ dịghị arịba ama ajọ omume ọ bụladị nke dịkarịsịrị nta.
16 Ya mere, Job saghere ọnụ ya kwuo okwu dịka onye na-amaghị ihe;
ka onye na-enweghị uche ọ na-ekwu okwu nkwukwasị efu.”

# 36

1 Elihu gara n’ihu sị:
2 “Nyetụ m nwa oge nta, ka m gosi gị
na ọ ka dị ọtụtụ ihe e nwere ikwu nyere Chineke.
3 Ana m enweta amamihe m site n’ebe dị anya;
aga m enye Onye kere m ezi omume.
4 Ya doo gị anya na okwu m abụghị okwu ụgha;
onye zuruoke n’ihe ọmụma nọnyeere gị.

5 “Chineke dị ike ma ọ dịghị eleda mmadụ ọbụla anya;
ọ dị ike, bụrụkwa onye na-eme ihe ọbụla o zubere ime.
6 Ọ naghị edebe ndị ajọ omume ndụ,
kama ọ na-enye ndị a na-akpagbu akpagbu ihe ruuru ha.
7 Ọ dịghị ewepụ anya ya* n’ebe ndị ezi omume nọ,
kama ọ na-eme ka ha na ndị eze nọkwasị n’ocheeze,
bụrụ ndị e buliri elu ruo mgbe ebighị ebi.
8 Ma ọ bụrụ na e kechie ụmụ mmadụ n’agbụ igwe,
jirikwa agbụ nke mkpagbu jidesie ha ike,
9 ọ na-agwa ha ihe ha mere,
na ha sitere na nganga ha mehie.
10 Ọ na-eme ka ha ṅaa ntị nye ntụziaka,
na-enyekwa ha iwu ka ha chegharịa site n’ajọ ihe ha na-eme.
11 Ọ bụrụ na ha erube isi, jekwaara ya ozi,
ha ga-abụ ndị ga-ebi oge ndụ ha fọdụrụ n’akụnụba,
biekwa ogologo ndụ ha niile n’afọ ojuju.
12 Ma ọ bụrụ na ha egeghị ntị,
ha ga-ala n’iyi site na mma agha,
ha ga-anwụ na-enweghị ọmụma ihe.

13 “Ndị ajọ omume na-ebu iro n’obi ha.

* **35:11** 35:11 Maọbụ, anụ ufe * **36:7** 36:7 Maọbụ, ịgbakụta azụ

Ha adịghị echeghari kpọkuo ya ọ bụladị mgbe o kere ha agbụ.†
14 Ha na-anwụ n’oge okorobịa ha,
n’etiti ndị ikom na-agba akwụna n’ụlọ arụsị dị iche iche.
15 Ma ndị na-ahụsị anya ka ọ na-azọpụta site n’ahụhụ ha;
na-agwa ha okwu site na mkpagbu ha.

16 “Ọ na-achọsi ike ịnapụta gị site n’ọnụ mkpagbu,
baa n’ebe sara mbara, ebe mkpagbu na-adịghị,
baa na tebul nke jupụtara na nri dị ezi ụtọ.
17 Ma ugbu a, ikpe ọmụma dịịrị ndị ajọ omume na-anyịgbu gị;
ikpe ọmụma na ikpe ziri ezi abịakwasịla gị.
18 Lezie anya ka mmadụ ọbụla ghara iji akụnụba rafuo gị;
ekwekwala ka ihe ngarị bara ụba wezuga gị n’ọnọdụ gị.
19 Akụnụba gị maọbụ ịdị ike gị ha pụrụ ịnapụta gị
ka ị ghara ịnọ na mkpagbu?
20 Anọla na-echere ka abalị bịa,
mgbe a na-adọkpụrụ ndị ụmụ mmadụ site n’ụlọ ha pụọ.
21 Lezie anya, ka i ghara iche ihu nye ajọ ihe,
bụ nke ọ dị ka ị na-ahọrọ karịa mkpagbu.

22 “E buliela Chineke elu n’ike ya,
onye bụ onye ozizi dịka ya?
23 Onye họpụtaara ya ụzọ ọ ga-agbaso,
maọbụ sị ya ‘I meela ajọ ihe’?
24 Cheta ka i bulie ọrụ aka ya elu,
bụ nke ụmụ mmadụ torola site n’abụ.
25 Mmadụ niile ahụzuola ya;
ụmụ mmadụ nọ n’ebe dị anya na-ele ya anya.
26 Lee, Chineke dị ukwuu, karịa nghọta anyị.
Ọnụọgụgụ afọ ya karịrị mmadụ ịchọpụta.

27 “Ọ bụ ya na-eme ka ukuru mmiri rigoro n’elu mgbe anwụ na-acha,
nke a na-aghọ mmiri ozuzo nye iyi niile.
28 Igwe ojii na-awụdata mmiri dị n’ime ya
mee ka mmiri ozuzo dị ukwuu zokwasị ụmụ mmadụ.
29 Onye pụrụ ịghọta ka o si gbasaa igwe ojii,
ka o si ebigbọ site n’ebe obibi ya?
30 Lee, ọ gbasaala amụma ya gburugburu ya
na-ekpuchi ebe niile dịkarịsịrị omimi nke oke osimiri.
31 Nke a bụ ụzọ o si achị mba niile
na-enyejukwa ha nri afọ.
32 O ji amụma nke egbe eluigwe kpojuo aka ya,
ma na-enye ya iwu itida ihe ọbụla ọ chọrọ.
33 Ịda ụda nke egbe eluigwe na-akọwa ọbịbịa nke oke ifufe mmiri;
ọ bụladị ehi na-eme ka a mara na ọ nọ nso.

## 37

1 “N’ihi nke a, obi m na-ama jijiji,

---
† **36:13** 36:13 Ọ tara ha ahụhụ

na-amali elu site n’ọnọdụ ya.
2 Gee ntị! Gee ntị nụrụ ụda olu ya,
na ụzụ nke si n’ọnụ ya apụta.
3 Ọ na-atọpụ amụma ya ka ọ na-ejeru n’okpuru eluigwe niile,
ọ na-ezisakwa ya ebe niile ụwa sọtụrụ.
4 Nke a gasịa, ihe ọzọ na-eso ya bụ mbigbọ nke olu ike ya;
ụda olu ya na ada ụda dịka egbe eluigwe,
mgbe olu ahụ dara dakwasị,
ọ naghị egbochi amụma igbu egbu.
5 N’ụzọ dị ebube ka olu Chineke si ada dịka egbe eluigwe;
ọ na-eme ọtụtụ ihe ukwuu nke anyị na-apụghị ịghọta.
6 N’ihi na ọ bụ ya na-agwa snoo okwu sị: ‘Daa n’elu ala,’
na-agwakwa mmiri ozuzo okwu sị, ‘Zoo nnukwu mmiri ozuzo.’*
7 Ka mmadụ o kere mata akaọrụ ya;
ọ na-emekwa ka mmadụ ọbụla kwụsị ịdọgbu onwe ya n’ọrụ.
8 Ụmụ anụmanụ bi n’ọhịa na-agbaba zoo onwe;
ha na-anọgide n’ebe obibi ha.
9 Oke ifufe na-esite n’ụlọ ya na-abịa,
oyi na-esitekwa n’ikuku na-agbasa agbasa.
10 Iku ume Chineke na-emepụta mkpụrụ mmiri,
ogbu mmiri na-akpụkọtakwa.
11 Ọ na-eme ka igwe ojii jupụta na mmiri;
na-eme ka amụma gbuo n’ime igwe ojii.
12 Site na ntụziaka ya ka ha na-echigharị onwe ha gburugburu
imezu ihe ọbụla ọ chọrọ ka ha mee
n’elu ụwa niile.
13 Ọ na-ewebata igwe ojii maka ịta ndị mmadụ ahụhụ,
na-eweta ya maka ime ka mmiri zokwasị elu ala igosi ịhụnanya ya.

14 “Job, gee ntị.
Tulee ọrụ ebube niile Chineke na-arụ.
15 Ị maara otu Chineke si achịkọta igwe ojii
na-eme ka amụma gbuo?
16 Ị maara otu Chineke si kwụba igwe ojii na mbara eluigwe,
nke bụ ọrụ ebube onye ihe ọmụma ya zuruoke?
17 Gị onye uwe i yi n’ahụ na-ekpo gị ọkụ
mgbe ụwa dere jii n’ihi ifufe na-esite na ndịda na-abịa,
18 ị pụrụ iso ya tụsaa mbara eluigwe
nke dị ike dịka enyo bronz a wụrụ awụ?

19 “Gwa anyị ihe anyị ga-azaghachi ya;
ebe ọ bụ na anyị apụghị ido okwu anyị n’usoro n’ihi ọchịchịrị nke anyị nọ n’ime ya.
20 A ga-agwa ya na m nwere okwu?
Ọ dị mmadụ ọbụla ga-achọ ka e loda ya?
21 Ugbu a, ọ dịghị mmadụ ọbụla pụrụ ilekwasị anyanwụ anya
ka ọ na-achake na mbara igwe,
mgbe ifufe ji ngwangwa gabiga mee ka o nwuo ọcha.
22 N’ugwu ka ebube na-enwu dịka ọlaedo si apụta;†

* **37:6** 37:6 Ghọọ oke mmiri ozuzo † **37:22** 37:22 Maọbụ, n’ugwu ka ọ si na-abịa ka ebube ọlaedo

Chineke na-eji ebube dị egwu na-abịa.
23 Onye pụrụ ime ihe niile bụ onye anyị na-enweghị ike chọta. Ike ya dị ukwuu,
n'ikpe ikpe ya ziri ezi na ezi omume ya bara ụba, ọ naghị emegbu mmadụ.
24 Ya mere, ụmụ mmadụ na-atụ egwu ya,
ọ bụ na o nweghị nsọpụrụ nye ndị niile obi ha maara ihe?"‡

# 38

*ONYENWE ANYỊ ekwuo okwu*

1 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sitere n'oke ifufe gwa Job okwu sị:
2 "Onye bụ onye a nke ji okwu ihe ọmụma na-adịghị na ya
na-eme ka atụmatụ m ghara ịpụta ìhè?
3 Ugbu a, jikere onwe gị dịka dimkpa
n'ihi na enwere m ajụjụ m ga-ajụ gị
nke m chọrọ ka i nye m ọsịsa ha.

4 "Ebee ka ị nọ mgbe m tọrọ ntọala ụwa?
Gwa m ma ọ bụrụ na ị ghọtara.
5 Onye kpebiri ihe ụwa ga-aha ka ya? N'ezie ị maara,
onye setịrị ihe ọtụtụ e ji tụọ ya n'elu ya?
6 N'elu gịnị ka a tọrọ ntọala ya,
onye doro nkume mbụ e ji tọọ ntọala ya?
7 Mgbe kpakpando nke isi ụtụtụ zukọrọ bụọ abụ,
ụmụ Chineke niile tisikwara mkpu ọṅụ ike?

8 "Onye kara akara nye osimiri iwu ebe ọ ga-ejedebe*
mgbe o nupụtara dịka a ga-asị na o si n'akpanwa pụta,
9 mgbe m yikwasịrị ha igwe ojii dịka uwe,
werekwa ọchịchịrị meere ya akwa okike,
10 mgbe m kpaara ya oke ebe ọ ga-akwụsị,
tinye ibo ọnụ ụzọ na mkpọrọ e ji akpọchi ya,
11 mgbe m sịrị, 'Ruo ebe a ka ị ga-asọrute, ị gaghị agabiga ya,
n'ebe a ka a ga-akwụsị ebili mmiri mpako gị'?

12 "O nweela oge i nyere ụtụtụ iwu,
maọbụ mee ka chi ọbụbọ maara ọnọdụ ya,
13 ka o jide akụkụ niile nke ụwa aka
ma site n'ụwa yọpụ ndị mmebi iwu?
14 Ụwa na-ewere ụdịdị ya dịka ụrọ a kakwasịrị akara;
ụdịdị ya na-egosipụta dịka uwe.
15 A na-eme ka ndị na-emebi iwu ghara inwe ìhè,
meekwa ka aka e weliri elu bụrụ nke a nyajiri.

16 "I jeruola n'isi iyi mmiri dị n'osimiri,
ka i jeghariala n'ebe miri emi nke ogbu mmiri?
17 O nweela onye gosiri gị ọnụ ụzọ ọnwụ?
Ka i jirila anya gị hụ ọnụ ụzọ nke onyinyo ọnwụ?
18 Ị ghọtara ịdị ukwu nke ụwa na otu o si gbasapụ?
Gwa m, ma ọ bụrụ na ị maara ihe ndị a niile.

‡ **37:24** 37:24 Ma ọ dịghị agụnye ndị niile na-eche na ha maara ihe. * **38:8** 38:8 Abụ 33:7; Abụ 104:9; Ilu 8:29; Jer 5:22

19 “Olee ụzọ e si aga ebe ìhè bi?
Olee ebe ọchịchịrị bi?
20 Ị nwere ike iduru ha jee n’ebe ha bi?
Ị maara ụzọ e si eje ebe obibi ha?
21 N’ezie ị maara, n’ihi na a mụọla gị tupu e kee ihe ndị a!
Ị bikwaala ọtụtụ afọ.

22 “Ị banyela n’ụlọ niile ebe a na-achịkọba snoo,
ka ị hụla ụlọ niile ebe a na-achịkọba mkpụrụ mmiri igwe,
23 nke m chekwara nye oge nsogbu,
n’oge ọgụ na n’oge agha?
24 Kedụ ụzọ e si ejeru ebe a na-anọ ekesasị amụma egbe eluigwe,
ebee ka e si ekesasị ifufe ọwụwa anyanwụ n’elu ụwa?
25 Onye wara ụzọ maka oke mmiri ozuzo,
onye kwa waara amụma na egbe eluigwe ụzọ?
26 Si otu a mee ka mmiri zokwasị ebe mmadụ na-ebighị,
ala ọzara ebe ọ dịghị onye nọ n’ime ya,
27 ka mmiri ozuzo mee ka ala kpọrọ nkụ nweta mmiri
iji mee ka ahịhịa pupụta n’ime ya.
28 Mmiri ozuzo o nwere nna?
Onye mụrụ igirigi?
29 Site n’akpanwa onye ka mkpụrụ mmiri si apụta?
Onye kwa bụ nne oke oyi nke eluigwe,
30 nke na-eme ka mmiri kpụkọtaa dịrị ike dịka nkume,
meekwa ka ihu ogbu mmiri kpụkọta?

31 “Ị pụrụ ikechi agbụ niile nke Pleiades?
Ị pụrụ ịtọpụ ihe nkechikọta Orion?
32 Ị pụrụ ime ka igwe kpakpando pụta n’oge ha
maọbụ dupụta anụ ndọgbu Bịa na ụmụ ya ndị ọzọ?
33 Ị maara iwu na-achị ihe niile dị na mbara eluigwe?
Ị pụrụ inye ha ike ịchị ụwa?

34 “Ị pụrụ iti mkpu ruo igwe ojii
si otu a mee ka idee mmiri kpuchie gị?
35 Ị pụrụ izipụ amụma egbe eluigwe n’ụzọ ha?
Ha na-asị gị, ‘Ebe a ka anyị nọ’?
36 Onye na-etinye amamihe n’obi mmadụ,
maọbụ na-enye oke ọkpa nghọta?
37 Onye nwere amamihe ịgụ igwe ojii niile dị na mbara eluigwe ọnụ?
Onye kwa pụrụ ịhulata karama mmiri niile nke eluigwe niile,
38 mgbe aja dị n’ala siri ike,
mgbe ọkpụrụkpụ aja dị n’ala na-akpụkọta n’ahụ ibe ha?

39 “Ọ bụ gị na-achụtara nne ọdụm ihe oriri,
mee ka afọ ju ụmụ ọdụm
40 mgbe ha makpuuru n’ime ọgba ha,
maọbụ mgbe ha zoro onwe ha na-eche anụ n’ọhịa?
41 Onye na-edoziri ugolọma ihe oriri ya,
mgbe ụmụ ya na-etiku Chineke mkpu agụ,

mgbe ha na-akpagharị na-achọ ihe oriri?

# 39

1 “Ị maara mgbe ewu ọhịa bi n’elu ugwu ji amụ nwa?
O nweela mgbe ị ji hụ nne ele ka ọ na-amụpụta nwa ya?
2 Ị na-agụkọ ọnwa ole afọ ime ha na-adị tupu ha amụọ nwa ha.
Ị maara oge ha na-amụ ụmụ ha?
3 Ha na-amakpuru ala mụpụta nwa ha.
Ihe mgbu nke ọmụmụ nwa ha ebiekwa.
4 Ụmụ ha na-eto n’ọhịa gbasiekwa ike.
Ha na-apụ, ha adịghị alaghachikwute ha ọzọ.

5 “Onye na-eme ka ịnyịnya ibu ọhịa nwere onwe ya?
Onye na-atọpụ agbụ e kere ya?
6 Nke m nyere ala ihe na-adịghị ka ọ bụrụ ebe obibi ha,
ala nnu ahụ ka ọ bụrụ ụlọ ha.
7 Ụzụ dị n’obodo adịghị emetụta ya,
ọ naghị anụkwa mbigbọ nke onye na-achị ya.
8 Elu ugwu niile bụ ebe ịkpa nri ya,
ebe ahụ ka ọ na-achọpụta ahịhịa ndụ ọbụla.

9 “Ị nwere ike ime ka atụ jeere gị ozi?
Ị nwere ike ime ka ọ nọdụ n’abalị n’ụlọ ebe ị na-azụ anụ ụlọ gị nri?
10 Ị nwere ike ime ka atụ rụọra gị ọrụ n’ubi gị?
Ọ ga-akpụgharịrị gị ọgụ ị ji akọ ala?
11 Ị ga-atụkwasị ya obi n’ihi na ike ya hiri nne?
Ị ga-ahapụrụ ya ọrụ ndị ahụ siri ike ka ọ rụọ?
12 I nwere ike ịtụkwasị ya obi ka o gaa bulatara gị ọka
site n’ebe ịzọcha ọka gị?

13 “Enyi nnụnụ na-eji ọṅụ gbasapụ nku ya,
ma a pụghị iji nku ya tụnyere
nku na abụba nke ụgbala.
14 Ọ na-eyi akwa ya n’ala
ma hapụ ha ka uzuzu kpoo ha ọkụ.
15 Ọ naghị emetụ ya n’obi na ụkwụ nwere ike ịzọpịa ha
maọbụ na anụ ọhịa nwere ike zọrie ha.
16 Ọ na-emeso ụmụ ya ihe ike dịka a ga-asị na ha abụghị nke ya,
ọ dịghị emetụta ya na ndọgbu n’ọrụ ya nwere ike i bụ n’efu, ma ọ dịghị atụ egwu.
17 N’ihi na Chineke ekenyeghị ya amamihe
maọbụ kenye ya oke na inwe uche.
18 Ma ọ na-agbalite ọsọ. Mgbe ọbụla ọ gbasara nku ya ịgba ọsọ,
ọ na-achị ịnyịnya na onye na-agba ịnyịnya ọchị.

19 “Ọ bụ gị na-enye ịnyịnya ike ya,
ka ọ bụ gị mere ka ajị ogologo ahụ o nwere dịrị n’olu ya?
20 Ị na-eme ya ka ọ wụgharịa dịka igurube,
were ebube* nke ịmapụ imi ya na-eyinye ihe oke egwu?

* **39:20** 39:20 Maọbụ, nganga

21 Ọ na-azọ ụkwụ gam gam n’ala, ọ na-aṅụrị ọṅụ n’ihi ike ya,
ọ na-apụ izute agha na-atụghị egwu.
22 Ọ na-achị ihe egwu ọchị, ụjọ ọbụla anaghị atụ ya;
ọ naghị esi na mma agha wezuga onwe ya.
23 Akpa àkụ na-ayọgharị n’akụkụ ya,
ya na ùbe na arụa na-egbu maramara.
24 Mgbe ụzụ agha bara ya n’isi, ọ na-eripịa ala.
Mgbe ọ nụrụ ụda opi ike, ọ naghị eguzo otu ebe.
25 Mgbe ụzụ agha bara ya n’isi, ọ na-eti mkpu sị, ‘Ahaa!’
Site n’ebe dị anya ka ọ na-anụ isisi agha.
Ọ na-aṅụrịkwa ọṅụ maka iti mkpu nke ndị ọchịagha n’oge agha.

26 “Ọ bụ site n’amamihe gị ka egbe ji efego n’elu,
gbasaakwa nku ya gaa n’ebe ndịda?
27 Ọ bụ gị nyere ugo iwu ifeli elu
ma wuo akwụ ya n’ebe dị elu?
28 N’elu nkume dị elu ka ọ na-ebi nọọkwa ọnọdụ abalị;
ọwara nkume dị elu bụ ebe e wusiri ike ya.
29 O bụ site n’ebe ahụ
ka ọ na-esi enyochapụta ihe ọ ga-eburu.
30 Ụmụ ya na-amịchakwa ọbara,
n’ihi na ebe ọ na-aga bụ ebe ọbụla ọ ga-ahụ ihe e gburu egbu.”

# 40

1 ONYENWE ANYỊ zara Job sị:
2 “Onye ahụ na-arụso Onye pụrụ ime ihe niile ụka ọ pụrụ ịdọ ya aka na ntị?
Ka onye ahụ na-ebo Chineke ebubo zaghachi ya.”
3 Mgbe ahụ, Job zaghachiri ONYENWE ANYỊ sị:
4 “Abụ m onye na-erughị eru. Oleekwanụ ka m ga-esi zaghachi gị?
Eji m aka m kpuchie ọnụ m.
5 Ekwuola m mbụ, ma enweghị m ọsịsa ọzọ
kwuokwa ugboro abụọ, ma agaghị m ekwukwa ọzọ.”
6 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sitere n’oke ifufe gwa Job okwu sị:
7 “Kwadoo onwe gị dịka dimkpa;
enwere m ajụjụ m ga-ajụ gị,
achọkwara m ka i nye m ọsịsa.

8 “Ị ga-aga n’ihu ikwujọ ikpe ziri ezi m?
Ị ga-aga n’ihu maa m ikpe ka ị si otu a bụrụ onye ikpe gaara?
9 Ogwe aka gị ọ dị ike dịka nke Chineke?
Olu gị ọ pụrụ ịda ụda dịka nke ya?
10 Were ebube na ịdị ukwuu chọọ onwe gị mma,
yikwasịkwa onwe gị nsọpụrụ na ugwu dịka uwe.
11 Wụsa iwe gị dị ọkụ n’ebe ndị mpako niile nọ,
weda ha n’ala,
12 lekwasịkwa ndị mpako niile anya mee ha ihe ihere,
ma tiriekwa ndị na-emebi iwu ebe ha guzo.
13 Likọta ha niile n’otu n’aja,
kpuchie ihu ha niile n’ala ili.
14 Mgbe ahụ, mụ onwe m ga-ekwenyere gị,

na aka nri nwere ike ịzọpụta gị.

15 “Lee enyi mmiri anya,
bụ nke m kere dịka m si kee gị,
ma ihe ọ na-eri bụ ahịhịa dịka ehi.
16 Lee ike dị n’ukwu ya,
leekwa ike dị n’ime afọ ya.
17 Ọdụdụ ya ka ọ na-efegharị dịka osisi sida;
akwara dị ya n’ahụ ka e jikọtara nke ọma.
18 Ọkpụkpụ ya niile dịka ogidi bronz nwere ụmị,
ọkpụkpụ ụkwụ na aka ya dịka okporo igwe.
19 Ya onwe ya bụ otu n’ime ọrụ aka mbụ nke Chineke,
ma naanị onye kere ya nwere ike iji mma agha bịa ya nso.
20 Ugwu na-enye ya ihe ọ na-eri.
N’ebe ahụ kwa ka ụmụ anụ ọhịa ndị ọzọ na-anọ egwuri egwu.
21 Ọ na-edina n’okpuru ahịhịa na-eto n’akụkụ mmiri,
zookwa onwe ya n’etiti ahịhịa riidi n’apịtị.
22 Ahịhịa lotus na-eji ndo ya kpuchie ya,
osisi pọpla nke dị n’akụkụ mmiri gbara ya gburugburu.
23 Ọ bụladị mgbe ebili mmiri na-ama, ọ dịghị atụ egwu;
ọ na-anọ nwayọọ, n’agbanyeghị na mmiri Jọdan na-asọpụta na-asọju ya n’ọnụ.
24 Onye pụrụ ijide ya mgbe ọ na-ele anya,
maọbụ were ọnya jide ya mapuo ya imi?

# 41

1 “Ị pụrụ iji nko azụ jide Leviatan
maọbụ jiri ụdọ kegide ire ya bịada ya?
2 Ị pụrụ ikenye eriri n’imi ya
maọbụ were ngu igwe mapuo agba ya?
3 Ọ ga-arịọ gị arịrịọ ka i meere ya ebere?
Ọ ga-eji olu dị nro gwa gị okwu?
4 Ọ ga-ekwe ka gị na ya baa n’ọgbụgba ndụ
ka i were ya dịka ohu gị ogologo ndụ ya niile?
5 Ị ga-eji ya gwurie egwu dịka nnụnụ?
Maọbụ kee ya eriri nye ya ụmụ agbọghọ nọ n’ụlọ gị?
6 Ndị ahịa ha ga-eji ya zụọ ahịa?
Ha ga-eke ya n’etiti ndị mgbereahịa?
7 Ị pụrụ iji igwe nko mejuo akpụkpọ ahụ ya
maọbụ iji ùbe ndị ọkụ azụ dupuo isi ya?
8 Ọ bụrụ na ị tụkwasị ya aka,
ị gaghị echefu ọgụ ọ ga-alụso gị. Ị gakwaghị anwa ya ọzọ.
9 Ọ bụ ime ihe nzuzu bụ mmadụ ịgbalị ijide ya.
Naanị ilekwasị ya anya na-eyi egwu.
10 N’ihi nke a, o nweghị onye nwere obi ike ịkpasu ya iwe.
Ọ bụ onye pụrụ iguzogide m?
11 Olee onye m ji ụgwọ nke m na-aghaghị ịkwụ?
Ihe niile dị n’okpuru eluigwe bụ nke m.

12 “Agaghị m akwụsị ikwu ihe banyere ụkwụ na aka Leviatan,

na ike ya, na ụdịdị ya mara mma.
13 Onye nwere ike ikpughepụ ihe e ji kpuchie ya ahụ?
Onye nwekwara ike ịbanye n’agba ya apịajiri okpukpu abụọ?
14 Onye pụrụ imeghe ụzọ nke ọnụ ya,
nke eze dị oke egwu gbara gburugburu?
15 Azụ ya nwere ọta* ndị e doro n’usoro
nke e mechisịrị ike ka ha rapara n’ahụ ibe ha,
16 nke ọbụla dị ibe ya nso,
na ikuku enweghị ike gafee n’etiti ha.
17 E jikọtara ha ọnụ nke ọma,
ha na-ejisi onwe ha ike, enweghị ike ikewa ha.
18 Ìhè na-enwupụta mgbe ọbụla o zere uzere;
anya ya abụọ na-achakwa dịka anwụ ụtụtụ.
19 Ire ọkụ na-asọpụta site n’ọnụ ya,
icheku ọkụ na-ekepụtakwa n’ọnụ ya.
20 Anwụrụ ọkụ na-esi n’imi ya na-apụta,
dịka ukuru ọkụ nke na-esi n’ime mmiri na-agbọ n’elu osisi achara.†
21 Ume ọ na-ekupụta na-afụnwu ọkụ icheku.
Ire ọkụ na-esitekwa n’ọnụ ya na-amapụ dịka àkụ.
22 Ike nwere ọnọdụ n’olu ya,
obi ịlọ mmiri na-aga ya n’ihu.
23 Akpụkpọ anụ ahụ ya bụ ihe jikọtara ọnụ nke ọma,
ha siri ike na-apụghị inugharị ha.
24 Obi ya dị ike dịka nkume,
dịka nkume e ji akwọ ihe.
25 Mgbe o bilitere ọtọ, ndị dike na-atụ oke ụjọ;
ha na-alaghachi azụ n’ihi mmagharị ya.
26 O nweghị mma agha ọbụla pụrụ igbochi ya,
o nwekwaghị ùbe igwe, maọbụ àkụ maọbụ ihe ọbụla a pịrị ọnụ ya apị nke pụrụ igbochi ya.
27 N’ebe ọ nọ, igwe dị ka ahịhịa;
bronz dịkwa ka osisi rere ure n’ebe ọ nọ.
28 Àkụ adịghị eme ka ọ gbalaga,
ịtụ ya nkume dị ka ịtụ ya igbugbo ọka.
29 Mkpọrọ osisi na-adị ya ka ahịhịa ọka,
ọ na-achị ọchị na mkpọtụ arụa na-eme.
30 Okpuru afọ ya dị ka ejuju dị nkọ,
nke na-ahapụ ụzọ n’apịtị dịka igwe eji azọcha mkpụrụ ọka site n’ogbe ya.
31 Ọ na-eme mmiri dị ogbu ka ọ gbọọ dịka ite;
ọ na-akpagharị oke osimiri ka ọ dị ka mmanụ otite dị n’ite.
32 Ọ na-ahapụ ụfụfụ n’azụ mgbe ọ na-aga;
mmadụ ga-eche na ọ osimiri nwere isi awọ.
33 O nweghị ihe ọzọ dị n’ụwa yiri ya,
o nweghị ihe na-emenye ya ụjọ.
34 Ọ na-eleda ndị mpako niile anya.
Ọ bụkwa eze n’ebe ndị na-anya isi nọ.”

* **41:15** 41:15 Mpako ya bụ ọta azụ ya † **41:20** 41:20 Lit. Riidi

# 42

*Okwu Job*

1 Mgbe ahụ, Job zara ONYENWE ANYỊ sị:
2 “Amara m na ị pụrụ ime ihe niile;
ọ dịghị atụmatụ gị nke a pụrụ ikposa.
3 Ị jụrụ sị, ‘Onye bụ onye nke a ji okwu ihe ọmụma na-adịghị na ya na-eme ka atụmatụ
m ghara ịpụta ihe?’
N’ezie, ekwuru m banyere ihe ndị m na-aghọtaghị,
ihe ndị dị oke ebube karịa m ịmata.

4 “Ị sịrị, ‘Gee ntị ugbu a, aga m ekwu okwu;
m ga-ajụ gị ajụjụ,
gị onwe gị ga-azakwa m.’
5 Ntị m nụrụ ihe banyere gị
ma ugbu a, ejirila m anya abụọ hụ gị.
6 Ya mere, ana m akpọ onwe m asị,
na echegharịkwa n’ime ntụ na uzuzu.”

*Okwu mmechi*

7 Mgbe ONYENWE ANYỊ gwasịrị Job okwu, ọ tụgharịrị gwa Elifaz onye Teman okwu
sị ya, “Ana m ewesa gị na ndị enyi gị abụọ iwe, n’ihi na ihe unu kwuru banyere
m ezighị ezi dịka nke ohu m Job kwuru. 8 Ugbu a, werenụ oke ehi asaa na ebule
asaa, jekwuru ohu m bụ Job ka o jiri ha chụọrọ unu aja nsure ọkụ, ohu m bụ Job
ga-ekpekwara unu ekpere. Aga m anabatakwa ekpere ọ ga-ekpe n’ihi unu. Agaghị m
alakwa unu n’iyi n’ihi okwu nzuzu unu. Unu ekwughị ihe ziri ezi banyere m dịka
ohu m Job si kwuo.” 9 Ya mere, Elifaz onye Teman, na Bildad, onye Shu, na Zofa,
onye Naaman mere dịka ONYENWE ANYỊ si nye ha n’iwu. ONYENWE ANYỊ nabatakwara
ekpere nke Job kpere n’ihi ndị enyi ya.
10 Mgbe Job kpesịrị ekpere maka ndị enyi ya, ONYENWE ANYỊ mekwara ka ọ baa
ụba ọzọ. O nyekwara ya okpukpo abụọ nke ihe niile o nwere na mbụ. 11 Mgbe ahụ,
ụmụnne ya ndị ikom na ụmụnne ya ndị inyom, na ndị enyi ya niile bịara soro ya
rie oriri n’ụlọ ya, na-akasị ya obi n’ihi iru ụjụ ya niile. Ha kasịkwara ya obi n’ihi
ọnwụnwa niile ONYENWE ANYỊ mere ka ọ bịakwasị ya. Ha niile n’otu n’otu nyere ya
onyinye ọlaọcha na mgbaaka ọlaedo.
12 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gọziri Job n’oge ikpeazụ nke ndụ ya karịa ka o si gọzie
ya na mbụ. Job nwere puku atụrụ iri na anọ na puku ịnyịnya kamel isii na puku ehi
abụọ na otu puku ịnyịnya ibu. 13 Chineke mekwara ka ọ mụta ụmụ ndị ikom asaa,
na ụmụ ndị inyom atọ ọzọ. 14 Ndị a bụ aha ụmụ ya ndị inyom: nke mbụ bụ Jimaịma,
nke abụọ bụ Kezaya, ebe nke atọ bụ Kerin-Hapuk. 15 N’ala ahụ niile, o nweghị ụmụ
agbọghọ mara mma dịka ụmụ ndị inyom Job ndị a. Job mekwara ka ha bụrụ ndị
ga-eso ụmụ ya ndị ikom keta oke n’ihe niile o nwere.
16 Job nọgidekwara ndụ narị afọ na iri afọ anọ ọzọ. Ọ hụrụ ụmụ ya, na ụmụ ha
ruo ọgbọ nke anọ. 17 Job nwụrụ mgbe o mere ezigbo agadi, ụbọchị ndụ ya jukwara
ya afọ.

# Abụ Ọma
## Nchịkọta Akwụkwọ nke mbụ

# 1

*Abụ Ọma 1–41*

*Onye ihe na-agara nke ọma*

1 Onye ihe na-agara nke ọma ka mmadụ ahụ bụ,
onye na-adịghị aga ije na ndụmọdụ ndị na-emebi iwu;
onye na-adịghị eguzokwa n'ụzọ ndị mmehie
maọbụ soro n'otu ndị nkwutọ.
2 Kama ihe na-atọ ya ụtọ bụ ime ihe niile dị n'iwu ONYENWE ANYỊ.
Ọ na-atụgharịkwa uche ya n'iwu ONYENWE ANYỊ ehihie na abalị,
3 Ọ dị ka osisi a kụrụ n'akụkụ iyi,
nke na-amịpụta mkpụrụ ya n'oge ya,
nke ahịhịa ya na-adịghị akpọnwụ akpọnwụ.
Ihe niile ọ na-eme na-agara ya nke ọma.

4 Ma ndị ajọ omume adịghị otu a.
Ha dị ka igbugbo ọka
nke oke ifufe na-efesasị.
5 Ya mere, ndị ajọ omume agaghị eguzosi ike n'ụbọchị ikpe;
ndị mmehie agaghị eguzokwa na nzukọ ndị ezi omume.

6 N'ihi na ONYENWE ANYỊ na-eche ụzọ ndị ezi omume nche.
Ma ụzọ ndị ajọ omume ga-eduba ha n'ịla n'iyi.

# Abụ Ọma 2

*Onye Chineke tere mmanụ*

1 Gịnị mere mba niile ji agba izu nzuzo?*
Gịnị mere ndị mmadụ ji na-apịa ọpịpịa nke na-abaghị uru?
2 Ndị eze nke ụwa na-eguzokwa onwe ha,
ndị na-achị achị na-agbakọtakwa
imegide ONYENWE ANYỊ na imegide Onye ya e tere mmanụ.
3 Ha na-asị, "Ka anyị tijie mkpọrọ igwe niile ha kere anyị
ma tufukwaa ha, nwere onwe anyị."

4 Onye na-anọdụ n'eluigwe na-achị ọchị.
Onyenwe anyị na-akwa ha emo.
5 Mgbe ahụ, ọ na-eji iwe baara ha mba
mee ka ụjọ jupụta ha obi n'ihi oke iwe ya.
6 "Mụ onwe m eguzobela m eze m
na Zayọn, ugwu m dị nsọ."
7 Aga m ekwusa iwu ONYENWE ANYỊ:
Ọ sịrị m, "Ị bụ Ọkpara m;
taa abụrụla m nna gị.
8 Rịọọ m,

* **Abụ Ọma 2:1** 2:1 Ya bụ, ịgbakọta n'ihi izu ọjọọ

aga m enye gị mba niile nke ụwa
ka ha bụrụ ihe nketa gị.
9 Ị ga-eji mkpara igwe chịa ha,
tipịa ha dịka onye na-akpụ ite si etipịa ite ndị ọ kpụrụ na-adịghị mma."

10 N'ihi nke a, unu ndị eze, bụrụnụ ndị nwere uche;
ka nke a bụrụkwa ihe ịdọ aka na ntị nye ndị na-achị achị n'ụwa.
11 Jirinụ ịtụ egwu fee ONYENWE ANYỊ ofufe;
jirikwanụ ịma jijiji ṅụrịa ọṅụ n'ihu ya.
12 Sutukwanụ Ọkpara ahụ ọnụ ka iwe ghara iwe ya,
ka unu ghara ịbụ ndị a lara n'iyi n'ụzọ unu.
N'ihi na iwe ya pụrụ ịmalite n'otu ntabi anya.
Ndị niile na-eme ya ebe mgbaba ha bụ ndị a gọziri agọzi.

# Abụ Ọma 3

Abụ Ọma Devid. Nke o dere mgbe o si n'ihu Absalọm gbapụ ọsọ ndụ.

*Ekpere maka enyemaka*

1 O ONYENWE ANYỊ, ọnụọgụgụ ndị iro m dị ọtụtụ.
Ọtụtụ ndị mmadụ na-ebili imegide m.
2 Ọtụtụ n'ime ha na-ekwu banyere m sị,
"Chineke agaghị azọpụta ya."

Sela

*

3 Ma gị, ONYENWE ANYỊ bụ ọta na-ekpuchi m;
I na-ebuli isi m elu na-eme ka m bụrụ onye nwere nsọpụrụ.
4 Etikuru m ONYENWE ANYỊ mkpu akwa,
ọ nụkwara olu m, sitekwa n'ugwu nsọ ya za m.

Sela

5 Edinara m ala, hie ụra,
ma bilikwa n'ụtụtụ n'udo, n'ihi na ONYENWE ANYỊ na-eche m nche.
6 A sịkwa na iri puku kwụrụ puku ndị iro agbaa m gburugburu,
agaghị m atụ egwu ọbụla.

7 Bilie ONYENWE ANYỊ!
Zọpụta m Chineke m!
Tie ndị iro m niile aka n'agba;†
tipụkwa ndị ajọ omume eze n'ọnụ.

8 N'ihi na nzọpụta na-esite n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ na-abịa.
Ka ngọzị gị dịịrị ndị gị niile.

Sela

# Abụ Ọma 4

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid nke a na-eji ụbọ akwara akpọ.

*Ntụgharị uche nke abalị*

1 Zaa m mgbe m na-akpọku gị

* **Abụ Ọma 3:2** 3:2 Okwu Hibru n'usoro abụ nke a na-amaghị ihe ọ pụtara, ụfọdụ na-eche na ọ bụ okwu ntụziaka nye ndị ọbụ abụ banyere ihe ha ga-eme † **Abụ Ọma 3:7** 3:7 Job 16:10

Chineke m, gị onye ezi omume;
Napụta m site n’ihe mgbu m,
meere m ebere, nụrụkwa ekpere m.

2 Unu ụmụ mmadụ, ruo ole mgbe ka unu ga-atụgharịa ebube m, mee ka ọ bụrụ ihe ihere?
Ruo ole mgbe ka unu ga-ahụ ihe efu n’anya na-achọ chi ndị ahụ na-abụghị chi n’ezie?*

Sela

3 Matanụ nke ọma na ONYENWE ANYỊ ahọpụtala ndị ezi omume nye onwe ya;
ọ ga-egekwa ntị n’olu m mgbe ọbụla m kpọkuru ya.

4 Maanụ jijiji, unu emehiekwala;
mgbe unu nọ n’elu ihe ndina unu;
nọọnụ jụụ na-enyocha obi unu.

Sela

5 Tụkwasịnụ ONYENWE ANYỊ obi unu,
chụkwaranụ ya aja ezi omume.

6 Ọtụtụ ndị mmadụ na-ajụ, “Onye pụrụ imere anyị ihe ọma?”
Ma ONYENWE ANYỊ, biko mee ka ìhè nke ihu gị mụkwasị anyị.
7 Were ọṅụ mejupụta obi m
karịa mgbe mkpụrụ ubi, ya na mmanya ọhụrụ ha bara ụba nke ukwuu.

8 Aga m edina ala ma rahụ ụra n’udo,
n’ihi na ọ bụ naanị gị ONYENWE ANYỊ,
na-eme ka m nọrọ na-enweghị ihe egwu ọbụla.

# Abụ Ọma 5

Abụ Ọma. Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Ọ bụ opi ka e ji abụ ya. Abụ Ọma nke Devid.

*Ekpere ụtụtụ*

1 ONYENWE ANYỊ, biko, nụrụ ekpere m
tulee ịsụ ude m.
2 Geekwa ntị n’akwa arịrịọ m,
gị Chineke onye bụ eze m.
N’ihi na ọ bụ naanị gị ka m na-akpọku.

3 Ụtụtụ ụbọchị niile, O ONYENWE ANYỊ, ị ga-anụ olu m;
aga m ekwupụtara gị ihe niile na-akpa m mkpa.
Aga m elekwa anya ọsịsa gị.
4 Ị bụ Chineke, onye ihe ọjọọ ọbụla anaghị atọ ụtọ;
gị na ndị ajọ omume apụghị ibikọta.
5 Ndị mpako agaghị eguzo
n’ihu gị.
Ị kpọrọ ndị niile na-eme ihe ọjọọ asị.
6 Ị ga-ala ndị niile na-agha ụgha n’iyi;
ONYENWE ANYỊ kpọrọ ndị ogbu mmadụ niile
na ndị aghụghọ niile asị.

* **Abụ Ọma 4:2** 4:2 Nke unu maara na ha bụ okwu ụgha

7 Ma mụ onwe m, aga m abata n'ime ụlọ gị,
site n'oke ịhụnanya gị;
aga m ejikwa ịtụ egwu kpọọ isiala
n'ebe ụlọnsọ ukwuu gị dị.

8 ONYENWE ANYỊ, biko, duo m n'ime ezi omume gị
n'ihi ndị iro m;
mee ka ụzọ gị zie ezi n'ihu m.
9 Obi ha jupụtara n'echiche ịla n'iyi,
a pụghị ịtụkwasị okwu ọbụla si ha n'ọnụ pụta obi.
Akpịrị ha bụ ili ghere oghe;
ha ji ire ha ekwu okwu ụgha.
10 Maa ha ikpe, Chineke.
Mee ka nzube ọjọọ ha niile bụrụ ọdịda ha.
Chụpụ ha n'ihi ịba ụba nke ọtụtụ mmehie ha,
n'ihi na ha enupula isi megide gị.
11 Ma mee ka onye ọbụla na-agbaba n'ime gị ṅụrịa;
mee ka ha nọgide na-eti mkpu ọṅụ.
Were aka nchebe gị kpuchie ha,
ka ndị niile hụrụ aha gị n'anya ṅụrịa ọṅụ n'ime gị.

12 N'ezie, O ONYENWE ANYỊ, ị na-agọzi onye ezi omume.
Ị na-eji ihuọma gị gbaa ha gburugburu dịka ọta.

# Abụ Ọma 6

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Nke e ji ụbọ akwara abụ. N'usoro Sheminit. Abụ Ọma Devid.

*Ekpere n'oge nsogbu*

1 O ONYENWE ANYỊ, abarala m mba mgbe ị na-ewe iwe.
Atala m ahụhụ n'oge ọnụma gị.
2 Biko, meere m ebere ONYENWE ANYỊ, n'ihi na adịghị m ike.
Gwọọ m, n'ihi na ọkpụkpụ m niile nọ n'ihe mgbu.
3 Mkpụrụobi m nọ n'ọnọdụ ihe mgbu.
Ruo ole mgbe, O ONYENWE ANYỊ, ka ị ga-anọgide na-agba m nkịtị?

4 ONYENWE ANYỊ, biko, bịa zọpụta m;
n'ihi ịhụnanya gị na-enweghị ọgwụgwụ, napụta m.
5 N'etiti ndị nwụrụ anwụ ọ dịghị onye na-ekwupụta aha gị.
O nwere onye na-eto gị site n'ala ili?

6 Ike agwụla m n'ihi ịsụ ude.

Abalị niile, ana m eji ịkwa akwa mee ka ihe ndina m jupụta na mmiri,
ana m eji anya mmiri dee ihe ndina m.
7 Anya m adịghị ahụzikwa ụzọ nke ọma n'ihi ihe mwute;
ọ kaala nka n'ihi mmeso ndị iro m.

8 Sitenụ n'ebe m nọ wezuga onwe unu, unu ndị na-eme ajọ ihe,
n'ihi na ONYENWE ANYỊ anụla akwa m niile.
9 ONYENWE ANYỊ anụla akwa m; ọ nụla arịrịọ nke m na-arịọ ya ka o meere m ebere.

Ọ nabatala ekpere m.
10 Ka ndị iro m niile bụrụ ndị ihere ga-eme.
Ha ga-ada mba, bụrụkwa ndị ga-eji ihere laghachi ebe ha si bịa.

# Abụ Ọma 7

Abụ Shiggaion nke Devid, nke ọ bụkuru Onyenwe anyị banyere Kush, onye Benjamin.

*Arịrịọ maka ikpe ziri ezi*

1 ONYENWE ANYỊ Chineke m, n'ime gị ka m gbabara;
zọpụta m, ma napụta m site n'aka ndị niile na-achụ m ọsọ,
2 ma ọ bụ ha adọkaa m dịka ọdụm,
ha ga-adọsasịkwa m ebe mmadụ ọbụla enweghị ike ịnapụta m.

3 O ONYENWE ANYỊ Chineke m, ọ bụrụ na m mere ihe dị otu a;
ọ bụrụkwa na aka m adịghị ọcha.
4 Ọ bụrụ na m jiri ihe ọjọọ kwụghachi onye mụ na ya nọ n'udo ụgwọ,
maọbụ site n'ụzọ na-ezighị ezi zuo ihe onye iro m.
5 Mgbe ahụ, ka onye iro m chụọ m ọsọ, jide m;
ka ọ tụọ m n'ala zọpịa ndụ m,
mee ka m bụrụ onye a ga-ahapụ n'uzuzu n'ọnọdụ ọdịndụ-ọnwụkamma.
Sela

6 Bilie, ONYENWE ANYỊ, n'iwe gị,
bilie megide oke iwe ndị iro m;
teta Chineke m, kpee ikpe ziri ezi.
7 Ka nzukọ niile chịkọtara onwe ha ọnụ gbaa gị gburugburu,
ebe ị na-anọkwasịkwa n'ebe dị elu na-achị ha.
8 Ka ONYENWE ANYỊ kpee ụmụ mmadụ niile ikpe.
Kpee m ikpe, O ONYENWE ANYỊ, dịka ezi omume m si dị,
na dịka izuoke m si dị, gị Onye kachasị ihe niile elu.
9 O Chineke onye ezi omume,
onye na-enyochapụta echiche na obi mmadụ,
mee ka ihe ike ndị ajọ omume bịa na njedebe
meekwa ka ndị ezi omume guzosie ike.

10 Chineke nke kachasị ihe niile elu, bụ ọta* m,
ọ na-azọpụta ndị niile obi ha ziri ezi.
11 Chineke bụ onye na-ekpe ikpe ziri ezi,
Chineke, onye na-ezipụta oke iwe ya kwa ụbọchị.
12 Ọ bụrụ na onye ahụ echegharịghị,
ọ ga-amụ mma agha ya ka ọ dịrị nkọ,
ọ ga-arọgọ ụta ya, kwadokwa ịgba ya.
13 Ọ kwadoola ngwa agha niile nke ọnwụ;
ọ na-eme ka àkụ ya bụrụ nke na-ere ọkụ.

14 Onye ọbụla dị ime ajọ ihe,†
na-atụrụ ime okwu na ụka mụpụtakwa ngharịpụ nke ụgha na-eweta.
15 Ma onye ahụ na-egwu olulu na-adaba

---

* **Abụ Ọma 7:10** 7:10 Maọbụ, Onyenwe m † **Abụ Ọma 7:14** 7:14 N'oge ochie, ndị agha izipụta echiche ime ajọ ihe ha, na-eji ihe na-aghọrọ ọkụ ọsịịsọ, techie n'ọnụ àkụ ha, mụnye ha ọkụ, tụnye ha n'elu ụlọ ndị iro ha, i gbaa ha ọkụ.

n’ime olulu ahụ o gwuru.
16 Nsogbu ahụ ọ kpaliri na-abịakwasị ya
ihe ike ahụ ọ kwadooro na-alaghachikwa azụ dakwasị ya n’isi.

17 Aga m enye ONYENWE ANYỊ ekele n’ihi ezi omume ya,
aga m abụku aha ONYENWE ANYỊ, Onye kachasị ihe niile elu abụ otuto.

# Abụ Ọma 8

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid n’usoro gittit.

*Ịdị ebube Chineke na nsọpụrụ nke mmadụ*

1 O ONYENWE ANYỊ Onyenwe anyị,
lee ka ịdị ukwuu nke aha gị si jupụta ụwa niile!

I meela ka ebube gị dị elu
n’ime eluigwe.
2 Site n’ototo* ụmụntakịrị na ụmụ na-aṅụ ara,
ị tọọla ntọala siri ike megide ndị iro gị,
ka e si otu a mechie ọnụ onye iro na onye ahụ na-abọ ọbọ.
3 Mgbe ọbụla m lere anya na mbara eluigwe,
hụ ọrụ niile nke aka gị rụrụ,
mgbe m lere anya n’elu hụ ọnwa na kpakpando
i tinyere n’ọnọdụ ha,
4 gịnị ka mmadụ bụ i ji na-eche banyere ha?
Gịnịkwa ka mmadụ bụ iji na-elekọta† ha?

5 I mere ka ha‡ dị ala nwantakịrị n’ebe ndị mmụọ ozi§ nọ,
I jikwa ebube na nsọpụrụ kpube ya n’isi dịka okpueze.
6 I mekwaala ya ka ọ bụrụ onyeisi nke ihe niile i kere eke,
tinyekwa ihe niile n’okpuru ụkwụ ya.
7 Ọ na-achị igwe ewu na atụrụ, na ehi,
na ụmụ anụ ọhịa ndị ọzọ niile,
8 na nnụnụ niile,
na azụ niile,
na anụ ndị ọzọ na-ebi n’ime mmiri.

9 O ONYENWE ANYỊ, Onyenwe anyị,
lee ka ịdị ukwuu nke aha gị si jupụta ụwa niile.

# Abụ Ọma 9

Abụ Ọma. Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. N’usoro olu abụ “Ọnwụ nke Ọkpara.” Abụ ọma Devid.

*Ekele n’ihi nnapụta Chineke*

1 O ONYENWE ANYỊ, aga m esite n’ala ala obi m too gị,
aga m agwakwa onye ọbụla ihe ọma niile ị na-eme.
2 Obi ga-atọ m ụtọ; obi m ga-ejupụta n’ọṅụ n’ihi gị,
aga m abụrụ gị abụ otuto, gị Onye kachasị ihe niile elu.

* **Abụ Ọma 8:2** 8:2 Mat 21:16 † **Abụ Ọma 8:4** 8:4 Gịnị ka nwa nke mmadụ bụ na ihe banyere ya na-emetụ gị n’obi ‡ **Abụ Ọma 8:5** 8:5 Maọbụ, ya § **Abụ Ọma 8:5** 8:5 Maọbụ, Chineke

3 Ndị iro m na-alaghachi azụ,
ha na-asọ ngọngọ na-alakwa n'iyi n'ihu gị.
4 I kpeela ikpe m n'ụzọ ziri ezi,
n'ocheeze gị ka ị nọdụrụ na-ekpe ikpe ziri ezi.
5 I baarala mba niile mba ma laa ndị ajọ omume n'iyi,
hichapụkwa aha ha ruo mgbe ebighị ebi.
6 Mbibi nke na-enweghị ọgwụgwụ adakwasịla ndị iro m,
I hopukwala obodo ha niile.
Ọ dịghị onye na-echetakwa ha ọzọ.

7 ONYENWE ANYỊ bụ eze ruo mgbe ebighị ebi.
Ọ kwadoola ocheeze ya maka ikpe ikpe ziri ezi.
8 Ọ ga-eji ezi omume kpee mba niile ikpe;
jirikwa ikpe ziri ezi chịa mba niile.
9 ONYENWE ANYỊ bụ ebe mgbaba nye ndị niile a na-emegbu emegbu.
Ọ bụụrụ ha ebe mgbaba e wusiri ike n'oge nsogbu.
10 ONYENWE ANYỊ, ndị niile maara aha gị ga-atụkwasị gị obi,
n'ihi na ọ dịghị mgbe ị na-agbakụta ndị niile na-atụkwasị gị obi azụ.

11 Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ otuto, bụ onye nọ n'ocheeze ya na Zayọn.
Kwusaaranụ mba niile ihe banyere ọrụ ebube ya.
12 N'ihi na onye ahụ na-abọrọ ndị e gburu egbu ọbọ anaghị echefu ihe;
ọ dịghị elefu mkpu akwa nke ndị a na-akpagbu anya.

13 O ONYENWE ANYỊ, lee ka ndị iro m si akpagbu m!
Meere m ebere ma napụta m site n'ọnụ ọnwụ,
14 ka m nwee ike ikwusa banyere otuto gị
n'ọnụ ụzọ ama* niile nke ada Zayọn,
nọrọkwa ebe ahụ ṅụrịa ọṅụ n'ime nzọpụta gị.

15 Ndị mba niile adabala n'ime olulu ahụ ha gwuru;
ọnya ahụ ha siri, zoo, amaala ha.
16 Ihe e ji mara ONYENWE ANYỊ bụ ikpe ya ziri ezi;
ọrụ aka ndị na-emebi iwu na-ama ha dịka ọnya.
Sela
17 Ndị niile na-eme ajọ omume na-alaghachi n'ili;
nke a bụkwa ọnọdụ mba niile na-echefu Chineke.
18 Ma ọ bụghị ruo mgbe ebighị ebi ka a ga-echefu ndị nọ na mkpa;
olileanya ndị a na-akpagbu agaghị abụkwa nke efu.

19 O ONYENWE ANYỊ, bilie! Ekwela ka mmadụ nwee mmeri ọbụla n'ebe ị nọ;
ka e kpee mba niile ikpe n'ihu gị.
20 O ONYENWE ANYỊ! Mee ka ha maa jijiji n'oke egwu;
mee ka mba niile ghọta na ha bụ naanị mmadụ.
Sela

# Abụ Ọma 10

*Arịrịọ maka ikpe ziri ezi*

---

* **Abụ Ọma 9:14** 9:14 Ọ bụ n'ụzọ ama obodo ka a na-anọ akparị ụka niile dị mkpa. Rut 4:1

1 ONYENWE ANYỊ, gịnị mere i ji na-eguzoro onwe gị n’ebe dị anya?
Gịnị mere ị na-ezo onwe gị n’oge nsogbu?

2 Site na mpako, onye ajọ omume na-emegbu ndị na-adịghị ike,
ndị mpịa mpịa aghụghọ ya mara dịka ọnya.
3 Ọ na-anya isi banyere ọchịchọ niile nke obi ya,
ọ na-eleli ONYENWE ANYỊ anya ma na-agọzi ndị oke ọchịchọ.
4 N’ọnọdụ mpako ya, onye ajọ omume anaghị achọ Chineke,
n’echiche ya niile, ọ naghị eche banyere ya.
5 Ma ihe niile ọ na-eme na-agara ya nke ọma;
ọ bụ onye na-ebuli onwe ya elu, iwu gị niile dịkwa anya site n’ebe ọ nọ;
ọ na-eleli ndị iro ya niile.
6 N’ime obi ya, ọ na-asị, “Ọ dịghị ihe ga-emetụta m.
Aga m anọ n’ọnọdụ ọṅụ mgbe niile. Nsogbu ọbụla agaghị adakwasị m.”*

7 Ọnụ ya jupụtara n’okwu ụgha na ịba mba ime ihe ọjọọ,†
n’okpuru ire ya ka nsogbu na ajọ ihe dịkwa.
8 Ha na-ezo onwe ha n’obodo nta dị iche iche,
n’ebe zooro ezo ka ha na-anọ,
na-eche itigbu ndị aka ha dị ọcha.
9 Dịka ọdụm, ha anaghị eme mkpọtụ ọbụla,
ọ na-eche ịdakwasị ụmụ ogbenye.
Dịka ndị bụ dinta si ejide ụmụ anụmanụ n’ọnya ha siri, otu a ka ha si ejide ụmụ ogbenye.
10 Ụmụ ogbenye ndị a na-ada n’ala n’ihi ịdị ike ya,
ọ na-azọpịakwa ha.
11 N’ime obi ya, ọ na-asị, “Chineke echefuola.
O zofuola ihu ya, ọ dịghị mgbe ọ hụrụ ya.”‡

12 Bilie O ONYENWE ANYỊ! O Chineke welie aka gị,
echefukwala ndị na-enweghị onye inyeaka.
13 Gịnị mere onye ajọ omume ji na-eleda Chineke anya?
Gịnị mere o ji na-asị n’ime obi ya,
“Ọ gaghị akpọ m ka m zaa ajụjụ banyere omume m”?
14 Ma gị, O Chineke, ị na-ahụ nsogbu na ihe mwute,
ị na-atule ihe ị ga-eme banyere ha.
Ndị a na-emegbu na-atụkwasị gị obi,
n’ihi na ị bụ onye inyeaka ndị na-enweghị nna.
15 Gbajie aka onye ajọ omume a na-eme ihe ọjọọ,
kpọọ ya ka ọ zaa ajụjụ banyere ajọ omume ya niile
nke a na-apụghị ịchọpụta.

16 ONYENWE ANYỊ bụ eze ruo mgbe ebighị ebi.
Ọ ga-esite n’ala ya kpochapụ mba niile.
17 O ONYENWE ANYỊ, ị maara ọchịchọ obi ndị niile a na-akpagbu;
ị na-ege ntị na mkpu akwa ha ma kasịekwa ha obi,
18 Ị na-echedo ndị na-enweghị nna na ndị niile a na-emegbu emegbu,

---

* **Abụ Ọma 10:6** 10:6 Ọ na-asị n’ime obi ya, “Agaghị ewezuga m n’ọnọdụ m”; Ọ na-aṅụkwa iyi sị, “Ọ dịghị onye ọbụla ga-eme m ihe ọjọọ” † **Abụ Ọma 10:7** 10:7 Ya bụ, ịgba iyi ‡ **Abụ Ọma 10:11** 10:11 O mechiri anya ya, ọ naghị ahụ ya

ka mmadụ efu, onye e kere eke,
ghara imenye ha egwu ọzọ.

# Abụ Ọma 11

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ ọma Devid.

*Onyenwe anyị ebe mgbaba*

1 N'ime ONYENWE ANYỊ ka m mere ebe mgbaba m.
Gịnị mere i ji na-agwa m okwu sị,
"Felagaa n'elu ugwu gị dịka nnụnụ."
2 N'ihi na ndị ajọ omume ekweela ụta ha;
ha edoziela àkụ n'elu eriri ụta ha,
zoo onwe ha n'akụkụ ụzọ,
ịnọ n'ọchịchịrị, gbaa ndị obi ha ziri ezi ụta.
3 Mgbe a na-ebibi ntọala niile,
gịnị ka ndị ezi omume pụrụ ime?

4 ONYENWE ANYỊ nọ n'ụlọnsọ ukwuu ya;
ONYENWE ANYỊ nọkwa n'elu ocheeze ya dị n'eluigwe.*
Ọ na-ahụzu ihe niile ụmụ mmadụ na-eme;
anya ya na-anwalekwa ụzọ ha.
5 ONYENWE ANYỊ na-ele onye ezi omume ule,
ma onye ajọ omume na ndị niile hụrụ imebi iwu n'anya,
ka ọ na-akpọ asị nke ukwuu.
6 Ọ ga-eme ka nkume ọkụ zokwasị ndị ajọ omume
dịka mmiri ozuzo;
oke ifufe dị ọkụ ga-abụ ihe nketa ha.

7 N'ihi na ONYENWE ANYỊ bụ onye ezi omume,
ọ hụkwara ikpe ziri ezi n'anya;
ndị ezi omume niile ga-ahụkwa ihu ya anya.

# Abụ Ọma 12

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. N'usoro Sheminit. Abụ Ọma nke Devid.

*Ekpere maka enyemaka n'oge ihe egwu*

1 ONYENWE ANYỊ, nyere anyị aka! N'ihi na ndị ezi omume agwụla!
Ndị kwesiri ntụkwasị obi anọkwaghị n'etiti ụmụ mmadụ.
2 O nwekwaghị onye eziokwu dị n'ọnụ ya nye onye agbataobi ya.
Egbugbere ọnụ onye ọbụla na-ekwukwa okwu ire ụtọ,
maọbụ aghụghọ dị n'obi ha.

3 Ka ONYENWE ANYỊ wezuga egbugbere ọnụ niile na-ekwu okwu ire ụtọ
na ire niile na-ekwu okwu ịnya isi.
4 Ndị na-asị,
"Ọ bụ site n'ire anyị ka anyị ga-enwe mmeri;
egbugbere ọnụ anyị ga-echebe anyị, ọ bụ onye na-achị anyị?"

5 "N'ihi na a na-apụnara ndị ogbenye ihe n'ihi ndị nọ na mkpa na-asụ ude,
aga m ebili ugbu a, ka ONYENWE ANYỊ kwuru.

* **Abụ Ọma 11:4** 11:4 Nke a bụ maka ocheeze Onyenwe anyị

Aga m zọpụta ha pụọ n’aka ndị ahụ ji iwe ekwulu ha.”
6 Okwu ọnụ ONYENWE ANYỊ niile zuruoke,
ha dịka ọlaọcha a nụchara n’ọkụ,
nke a nụchara ugboro asaa.

7 O ONYENWE ANYỊ, i ga-edebe anyị n’udo
ma sitekwa n’aka ndị dị otu a chebe anyị ruo mgbe ebighị ebi.
8 Ndị ajọ omume na-ejeghari n’ebe niile
mgbe a na-eto ihe ọjọọ n’etiti ụmụ mmadụ.

# Abụ Ọma 13

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ ọma Devid.

*Ekpere maka nnapụta*

1 Ruo ole mgbe ka i ga-echefu m ONYENWE ANYỊ?
Ruo ole mgbe ka i ga-ezonarị m ihu gị?*
2 Ruo ole mgbe ka mụ na mmụọ m ga na-agba mgba
nọdụkwa na-eru ụjụ kwa ụbọchị n’ime mkpụrụobi m?
Ruo ole mgbe ka ndị iro m ga-anọgide na-emeri m?

3 Lekwasị m anya, ma zaa m, O ONYENWE ANYỊ Chineke m.
Nyeghachi m ìhè nke anya m ka m ghara ịnwụ;
4 mgbe ahụ onye iro m ga-asị, “Emeriela m ya,”
mgbe m ga-ada, ndị kpọrọ m asị ga-aṅụrịkwa ọṅụ.

5 Ma atụkwasịrị m obi n’ịhụnanya gị nke na-enweghị ọgwụgwụ;
mkpụrụobi m na-aṅụrị ọṅụ na nzọpụta gị.
6 Aga m abụku ONYENWE ANYỊ abụ,
n’ihi na o mesoro m mmeso ọma.

# Abụ Ọma 14

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ ọma Devid.

*Ajọ omume nke ndị na-emebi iwu*

1 Onye nzuzu na-asị* n’ime obi ya,
“Ọ dịghị Chineke ọbụla dị.”
Ha bụ ndị ajọ omume riri ahụ, ọrụ aka ha niile bụkwa ihe arụ;
ọ dịghị onye ọbụla na-eme ezi ihe.

2 ONYENWE ANYỊ sitere n’eluigwe
na-ele ụmụ mmadụ anya
ịhụ ma ọ ga-achọta onye ọbụla nwere nghọta
onye nke na-achọ Chineke.
3 Mmadụ niile ewezugala onwe ha, ha niile abụrụla ndị ajọ omume riri ahụ;
ọ dịghị onye ọbụla na-eme ihe ziri ezi,
ọ dịghị ọ bụladị, otu onye.

4 Ndị niile na-eme ajọ ihe, ha amaghị ihe?

Ha na-eripịa ndị m dịka mmadụ si eri nri,

---

* **Abụ Ọma 13:1** 13:1 Job 13:24; Abụ 89:46 * **Abụ Ọma 14:1** 14:1 Maọbụ, na-eche

ha adịghị akpọkukwa ONYENWE ANYỊ.
5 Ma n’ebe ahụ ka ha nọ, n’ọnọdụ oke egwu,
n’ihi na Chineke nọ n’etiti ndị ezi omume.
6 Unu ndị ajọ omume na-emebi atụmatụ ndị ogbenye,
ma ONYENWE ANYỊ bụ ebe mgbaba ha.

7 A sịkwarị na nzọpụta Izrel ga-esi na Zayọn pụta!
Mgbe ONYENWE ANYỊ ga-akpọghachite ndị ya n’ọnọdụ ha,
ka Jekọb ṅụrịa ọṅụ, ka Izrel nwekwaa obi ụtọ!

# Abụ Ọma 15

Abụ Ọma Devid.

*Onye ga-ebi n’ugwu nsọ Onyenwe anyị?*

1 ONYENWE ANYỊ, onye pụrụ ịnọgide n’ụlọnsọ ukwu gị?
Onye pụrụ ibi n’ugwu nsọ gị?

2 Onye na-ebi ndụ nke na-enweghị ịta ụta,
onye na-arụ ọrụ ezi omume,
onye na-ekwu eziokwu site n’obi ya.
3 Onye jụrụ ikwutọsị ndị ọzọ,
onye na-adịghị eme onye agbataobi ya ihe ọjọọ,
na onye na-adịghị ekwulu mmadụ ibe ya,
4 onye na-eleda onye ajọ omume anya,
ma na-asọpụrụ ndị ahụ na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ,
onye na-adịghị agbanwe nkwa ọbụla o kwere,
ọ bụladị mgbe nkwa ahụ na-emegide ya,
5 onye na-agbazinye mmadụ ego na-anaghị ụma,
onye na-adịghị a nara ngarị imegide onye aka ya dị ọcha.

Onye na-eme ihe ndị a
agaghị ama jijiji n’ọnọdụ ya, mgbe ọbụla.

# Abụ Ọma 16

Abụ miktam nke Devid.

*Ekpere maka iguzosi ike*

1 Chebe m, O Chineke,
n’ihi na n’ime gị ka m gbabara izere ndụ.

2 A gwara m ONYENWE ANYỊ, “Ị bụ Onyenwe m,
e wezuga gị, enwekwaghị m ọdịmma ọbụla.”
3 Ana m asị maka ndị nsọ bụ ndị nọ n’ala a,
“Ha bụ ndị a na-asọpụrụ, ndị ihe ha n’atọ m ụtọ.”
4 Iru ụjụ nke ndị ahụ na-agbaso chi ndị ọzọ ga-aba ụba.
Agaghị m eso ha wụsa aja ihe ọṅụṅụ ọbara* nye chi ndị a,
maọbụ were egbugbere ọnụ m kpọọ aha ha.

* **Abụ Ọma 16:4** 16:4 N’ọtụtụ mba, mmanya bụ ihe e ji agọ ọfọ, ma n’omenaala mba ụfọdụ, ọbara onye ahụ eji achụ aja ka a na-ewere gwakọọ na mmanya, wụpụ n’ebe ịchụ aja, nke ka a maara dịka aja ọbara. Ọ bụ omenaala mba ndị ahụ na-amaghị Chineke ka onye dere abụ ọma a na-emegide. Lev 18:21; Lev 20:1-2; 2Ez 16:3; 2Ez 23:10.

5 ONYENWE ANYỊ, i nyeela m oke m na iko m;†
ị na-elekọta ihe niile bụ nke m site n’ife nza.
6 Ọtụtụ oke ala niile dabara m n’ebe dị ezi mma;
n’ezie, e nwere m ihe nketa nke na-enye m ọṅụ.
7 Aga m eto ONYENWE ANYỊ, onye na-adụ m ọdụ;
ọ bụladị n’abalị, obi m na-agwa m ihe m ga-eme.
8 Ana m elekwasị ONYENWE ANYỊ anya mgbe niile.
Ebe ọ nọ n’aka nri m, agaghị m ama jijiji.

9 N’ihi nke a, obi dị m ụtọ, ire m jupụtakwara n’ọṅụ;
aga m anọkwa n’udo.
10 N’ihi na ị gaghị ahapụ m n’ala mmụọ,
ị gaghị ekwekwa ka Onye gị kwesiri ntụkwasị obi‡ hụ ire ure.
11 I gosila m ụzọ ndụ;
ị ga-eji ọṅụ mejupụta obi m n’ihu gị;
ya na ihe ụtọ ndị dị n’aka nri gị ruo ebighị ebi.

# Abụ Ọma 17

Ekpere Devid.

*Ekpere maka nnapụta*

1 O ONYENWE ANYỊ, nụrụ arịrịọ m ziri ezi,
nụrụkwa mkpu akwa m.
Gee ntị n’ekpere m
n’ihi na o siteghị n’egbugbere ọnụ na-ekwu okwu aghụghọ.
2 Ka mkpepụta m si n’aka gị bịa;
ka anya gị hụ ihe ziri ezi.

3 Ọ bụ ezie na ị nyochaala obi m,
i letala m n’abalị, nwalekwaa m,
ị ga-achọpụta na o nweghị ihe ọ ọjọọ bụla m zubere,
na ọnụ m ekwuhiebeghị.
4 Ndị mmadụ agbalịala inye m ngarị
ma anaghị m ekwe ka mụ na ndị na-eme ihe ike nwee mmekọrịta
n’ihi iwu sitere n’egbugbere ọnụ gị.
5 Nzọ ụkwụ m akpafubeghị site n’ụzọ gị,
ụkwụ m agbụchapụghịkwa site n’ọnọdụ ya.

6 Ana m akpọku gị, O Chineke, n’ihi na amaara m na ị ga-aza m;
gee m ntị ma nụrụ ekpere m.
7 Zipụta ịhụnanya gị dị oke ebube;
gị onye na-eji aka nri gị dị ike azọpụta
ndị niile gbabara na gị site n’aka ndị iro ha.
8 Chebe m dịka mkpụrụ anya gị;
zoo m na ndo nke nku gị,
9 site n’aka ndị ajọ omume gbara m gburugburu,
ọ bụladị ndị iro m, ndị chọrọ igbu m.

10 Ha anaghị eme ebere, ha bụ ndị afọ tara mmiri,

† **Abụ Ọma 16:5** 16:5 Iko a na-ekwu ihe banyere ya n’ebe a bụ iko a na-enye ndị akpọrọ oriri n’oge mmemme. Dan 5:1-4 ‡ **Abụ Ọma 16:10** 16:10 Maọbụ, onye gị dị nsọ

okwu ịnya isi juru ha ọnụ.
11 Ha achọpụtala ebe m nọ, ugbu a, ha gbara m gburugburu,
ha ji anya nkọ, jikerekwa ịtụ m n'ala.
12 Ha ka ọdụm agụụ na-agụ nke zoro onwe ya n'ọhịa,
dịka ọdụm dị ike na-eche ihe ọ ga-adọgbu.

13 ONYENWE ANYỊ, bilie guzogide ha, tigbuo ha.
Jiri mma agha gị zọpụta m site n'aka ndị ajọ omume.
14 O ONYENWE ANYỊ, zọpụta m site n'aka ndị dị otu a,
site n'aka ndị ụgwọ ọrụ ha bụ n'ụwa a.
Ka ihe ịkpakọbara debere ndị ajọ omume jupụta afọ ha,
ka afọ jukwa ụmụ site n'ihe ndị a,
ka ha hapụrụ ihe fọdụrụ nye ụmụntakịrị ha.

15 Ma mụ onwe m ga-ahụ ihu gị site n'ezi omume;
mgbe m ga-ebili, afọ ga-eju m nke ọma, n'ihi na aga m ahụ gị ihu na ihu.

# Abụ Ọma 18

Abụ ọma Devid. Abụ Devid ohu ONYENWE ANYỊ. Ọ bụụrụ ONYENWE ANYỊ okwu niile nke abụ a mgbe ONYENWE ANYỊ napụtara ya site n'aka ndị iro ya niile, nakwa n'aka Sọl. Ọ sịrị:

*Abụ mmeri*

1 O ONYENWE ANYỊ, ahụrụ m gị n'anya, gị bụ ike m.

2 ONYENWE ANYỊ bụ oke nkume m, na ebe mgbaba m e wusiri ike, na onye nnapụta m.
Chineke m bụ oke nkume m, onye m gbabara n'ime ya.
Ọ bụ ọta m, na mpi nzọpụta m, na oke nkume m nke onye ọbụla na-apụghị ịba n'ime ya.

3 Akpọkuru m ONYENWE ANYỊ, onye e kwesiri inye otuto,
ọ zọpụtara m site n'aka ndị iro m.
4 Ụdọ niile nke ọnwụ kere m agbụ;
ịchị ọkụ nke mbibi ọjọọ kpuchiri m.
5 Ụdọ nke ili kere m gburugburu,
ọnya nke ọnwụ guzogidere m.

6 N'ọnọdụ oke mkpagbu m, akpọkuru m ONYENWE ANYỊ;
etiri m mkpu akwa, kpọkuo Chineke m ka o nyere m aka;
akwa m rutekwara ya ntị,
o sitekwara n'ụlọnsọ ukwu ya nụ olu m.
7 Ụwa mere mkpọtụ, maa jijiji,
ntọala niile nke ugwu niile makwara jijiji,
ha mara jijiji n'ihi iwe nke na-ewe ya.
8 Anwụrụ ọkụ sitere ya n'imi pụta,
ọkụ na-erepịa erepịa sikwa n'ọnụ ya pụta;
icheku ọkụ na-ere ọkụ sitekwara n'ebe ahụ nwupụta.
9 O kewara mbara eluigwe, rịdata;
oke igwe ojii dịkwa n'okpuru ụkwụ ya.

10 Ọ nọkwasịrị n’elu cherubim* felie elu,
o feliri elu n’elu nku nke ifufe.
11 O mere ọchịchịrị ebe nzuzo ya, ihe mkpuchi nke gbara ya gburugburu,
bụ ọchịchịrị mmiri igwe ojii nke mbara eluigwe.
12 Site n’ìhè nke na-enwupụta n’ahụ ya, igwe ojii
ji mkpụrụ mmiri na amụma egbe eluigwe gabiga.
13 ONYENWE ANYỊ sitere n’eluigwe bigbọọ;
olu Onye kachasị ihe niile elu dara ụda.
14 Ọ gbara àkụ ya, mee ka ndị iro gbasasịa,
o jikwa oke amụma nke egbe eluigwe chụsaa ha.
15 E kpughere ala ala nke oke osimiri,
gbakwa ntọala niile nke ụwa ọtọ,
site n’ịba mba gị, O ONYENWE ANYỊ,
na nkuume si gị n’imi pụta.

16 O sitere n’elu setịpụ aka ya,
jidesie m aka ike, ọ dọpụtara m site n’ogbu mmiri niile.
17 Ọ napụtara m site n’aka ndị iro m dị ike,
bụ ndị kpọrọ m asị, ndị dịkwa ike karịa m.
18 Ha guzogidere m n’ụbọchị ihe ndakwasị m,
ma ONYENWE ANYỊ bụrụ m ihe ndabere.
19 Ọ kpọpụtara m gaa n’ebe sara mbara,
ọ napụtara m n’ihi na ihe m na-atọ ya ụtọ.

20 ONYENWE ANYỊ mesoro m dịka ezi omume m si dị;
ọ kwụghachiri m dịka ịdị ọcha nke aka m si dị.
21 N’ihi na edebezuola m ụzọ niile nke ONYENWE ANYỊ,
ikpe amaghị m n’ihi ịgbakụta Chineke azụ.
22 Iwu ya niile dị n’ihu m,
esibekwaghị m n’ụkpụrụ ya wezuga onwe m.
23 Abụ m onye na-enweghị ịta ụta n’ihu ya,
edebekwara m onwe m pụọ na mmehie.
24 ONYENWE ANYỊ kwụghachiri m dịka ezi omume m si dị,
dịka ịdị ọcha nke aka m abụọ si dị n’anya ya.

25 N’ebe onye kwesiri ntụkwasị obi nọ, i na-egosi onwe gị onye kwesiri ntụkwasị obi,
n’ebe onye zuruoke nọ, ị na-egosi onwe gị onye zuruoke.
26 N’ebe onye dị ọcha nọ, ị na-egosi onwe gị onye dị ọcha,
ma nye ndị ụzọ ha na-ezighị ezi, ị na-egosi onwe gị dịka onye dị aghụghọ.
27 Ị na-azọpụta ndị dị umeala n’obi,
ma ị na-eme ka ndị nwere anya mpako dị ala.
28 Ọ bụ gị, ONYENWE ANYỊ, na-eme ka oriọna m na-enwu,
Chineke m na-eme ka ọchịchịrị m ghọọ ìhè.
29 Site n’inyeaka gị, apụrụ m ịlụso igwe ndị agha ọgụ,
sitekwa na Chineke m, apụkwara m ịwụfe mgbidi ọbụla.

30 Ma banyere Chineke, ụzọ ya zuruoke,
okwu ọnụ ONYENWE ANYỊ bụ ihe a nụchara anụcha;

* **Abụ Ọma 18:10** 18:10 Cherubim bụ mmụọ ndị ahụ dị ike na ndị jupụtara n’ebube nke anya na-adịghị ahụ. Ọrụ ha bụ ibu ocheeze Ebube ahụ. Izk 1:26

ọ bụ ọta† nke onye ọbụla na-ezo onwe ya n’okpuru ya.
31 N’ihi na onye bụ Chineke, ma ọ bụghị naanị ONYENWE ANYỊ?
Onye bụkwa oke Nkume ahụ, ma ọ bụghị naanị Chineke anyị?
32 Ọ bụ Chineke na-enye m ike,
na-echebekwa ụzọ m n’izuoke.
33 Ọ na-eme ka ụkwụ m dị gara gara, dịka nke nne ele;
Ọ na-emekwa ka m kwụrụ chịm n’ebe niile dị elu.
34 Ọ na-azụ aka m abụọ ibu agha,
ogwe aka m abụọ pụrụ ịrọji ụta bronz.
35 Ị na-eme ka inyeaka nke nzọpụta gị bụrụ ọta m,
aka nri gị na-akwagidekwa m,
inyeaka gị emeela m ka m dị ukwuu.
36 Ị na-edozi ụzọ sara mbara nye ụkwụ,
ka nkwonkwo ụkwụ m ghara ịgbụchapụ.

37 Achụrụ m ndị iro m ọsọ, jidekwa ha;
alaghachighị m azụ tutu ruo mgbe ha niile lara n’iyi.
38 Etidara m ha n’ala ebe ha enwekwaghị ike ibilite.
Ha dara n’okpuru ụkwụ m.
39 Ọ bụ gị nyere m ike ibu agha,
i wedara ndị niile na-emegide m n’ala n’ihu m.
40 I mere ka ndị iro m tụgharịa gbapụ ọsọ.
Ebibikwara m ndị kpọrọ m asị.
41 Ha bere akwa maka enyemaka, ma ọ dịghị onye na-azọpụta ha.
Ha kpọkuru ONYENWE ANYỊ, ma ọ zaghị ha.
42 Egwepịara m ha nke ọma dịka ntụ nke ikuku na-ebufu;
a zọtọrọ m ha dịka apịtị nke okporoụzọ.
43 Ị napụtala m site n’aka ndị na-alụso m ọgụ
ị meela m onyeisi nke ọtụtụ mba;
ndị m na-amaghị na mbụ na-ejekwara m ozi.
44 Ndị ala ọzọ na-ehulata n’ihu m n’ihi egwu,
ngwangwa ha nụrụ olu m, ha na-erube isi nye m.
45 Obi na-ada ha mba;
ha na-ama jijiji mgbe ha na-esite n’ebe niile ha e wusiri ike na-apụta.

46 ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ! Otuto dịrị oke nkume m!
Mbuli elu dịrị Chineke, Onye nzọpụta m.
47 Ọ bụ Chineke ahụ onye na-abọrọ m ọbọ,
onye na-emekwa ka mba dị iche iche nọrọ n’okpuru m,
48 onye na-anapụta m site n’aka ndị iro m.
I mere ka m dị elu karịa ndị iro,
napụtakwa m site n’aka nwoke na-eme ihe ike.
49 N’ihi nke a, ONYENWE ANYỊ, aga m eto gị n’etiti mba niile dị iche iche,
aga m abụku aha gị abụ otuto.

50 Ọ na-enye eze ya mmeri dị ukwuu;
Ọ na-egosikwa onye ya onye e tere mmanụ ịhụnanya na-adịghị ada ada,
nye Devid na ndị agbụrụ ya ruo mgbe ebighị ebi.

† **Abụ Ọma 18:30** 18:30 Ya bụ, ebe nchebe

# Abụ Ọma 19

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ ọma Devid.

*Akaọrụ Chineke na iwu ya*

1 Eluigwe na-ezipụta ebube Chineke;
mbara eluigwe na-egosikwa ọrụ aka ya.
2 Ụbọchị niile, ha na-ekwupụta okwu,
ehihie na abalị, ha na-egosipụta ihe ọmụma.
3 Ha nweghị asụsụ, ha nweghị okwu,
ma a na-anụ ụda ha.
4 N'ụwa niile ka olu ha na-apụ gazuo,
okwu ọnụ ha niile erukwaala n'ebe ụwa sọtụrụ.
Ọ bụ na mbara eluigwe ka Chineke maara ụlọ ikwu nye anyanwụ.
5 Ọ dị ka nwokorobịa lụrụ nwunye ọhụrụ mgbe o si n'ụlọ ndina ya na-apụta,
dịka ọgba ọsọ nke ọ na-anụ ọkụ n'obi ịgba ọsọ ịsọ mpi.
6 Ọ na-esite n'otu nsọtụ nke mbara eluigwe,
bido ije ya, gafee ruo na nsọtụ nke ọzọ.
Ọ dịkwaghị ihe ọbụla na-ezonarị onwe ya site n'okpomọkụ ya.

7 Iwu ONYENWE ANYỊ zuruoke;
ọ na-eweghachi mkpụrụobi.
Ụkpụrụ ONYENWE ANYỊ niile kwesiri ntụkwasị obi;
ọ na-eme ka onye na-enweghị uche mara ihe.
8 Iwu ONYENWE ANYỊ ziri ezi,
ọ na-enye mkpụrụobi ọṅụ.
Iwu ONYENWE ANYỊ na-amụke amụke,
ọ na-enye anya ìhè.
9 Ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ dị ọcha,
ọ na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi;
ụkpụrụ niile nke ONYENWE ANYỊ na-eguzosi ike,
ha niile bụkwa ihe ziri ezi.

10 Ha dị oke ọnụ karịa ọlaedo,
karịa ọlaedo a nụchara anụcha;
ha na-atọkwa ụtọ karịa mmanụ aṅụ,
karịa mmanụ aṅụ si n'ụbụbọ aṅụ.
11 Ọ bụ site na ha ka a na-adọ ohu gị aka na ntị;
ụgwọ ọrụ dị ukwuu dị n'idebe ha.
12 Onye pụrụ ịghọta amaghị ama ya niile?
Gbaghara m ihe niile zoro ezo nke adịghị ike m.
13 Chebe m, ka m ghara ilezi anya mehie megide gị.
Ekwela ka ha na-achị achị na ndụ m.
Mgbe ahụ ka m ga-abụ onye zuruoke,
onye nwere onwe ya site n'ebe ihe ọjọọ niile nke mmehie dị.

14 Kwere ONYENWE ANYỊ, Onye mgbapụta m, na Oke nkume nchebe m,
ka okwu ọnụ m niile, na echiche obi m niile,
bụrụ ihe na-atọ gị ụtọ, na nke ị na-anabata.

# Abụ Ọma 20

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid.

*Ekpere maka enyemaka*

1 Ka ONYENWE ANYỊ zaa gị n'ụbọchị nsogbu gị;
ka aha Chineke nke Jekọb chebe gị.
2 Ya sitekwa n'ebe nsọ ya zitere gị inyeaka,
ma site na Zayọn kwagide gị.
3 Ya chetakwa aja niile ị chụrụ,
ma nabata aja nsure ọkụ niile ị chụrụ nye ya.

Sela

4 Ya mezukwara gị ihe niile nke obi gị na-achọ,
mekwaa ka atụmatụ gị niile gaa nke ọma.
5 Anyị ga-eti mkpu ọṅụ maka mmeri i meriri,
buliekwa ọkọlọtọ anyị elu n'aha Chineke anyị.

Ka ONYENWE ANYỊ mezuo arịrịọ gị niile.

6 Ugbu a, amaara m
na ONYENWE ANYỊ na-azọpụta onye ya o tere mmanụ;
ọ na-esite n'ebe nsọ ya n'eluigwe jiri aka nri ya,
zọpụta ma zakwaa ya.
7 Ụfọdụ na-atụkwasị obi ha na ịnyịnya, ndị ọzọ n'ụgbọ agha;
ma anyị na-atụkwasị aha ONYENWE ANYỊ, Chineke anyị, obi.
8 Ha na-egbu ikpere n'ala ma daa,
ma anyị ga-ebili, kwụrụ chịm.
9 O ONYENWE ANYỊ, zọpụta eze!
Zakwaa anyị mgbe anyị kpọkuru gị!

# Abụ Ọma 21

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid.

*Ekele maka mmeri*

1 O ONYENWE ANYỊ, lee na eze na-aṅụrị ọṅụ n'ike gị.
Obi na-atọkwa ya ụtọ nke ukwuu n'ihi mmeri niile i nyere ya!

2 I nyela ya ihe obi ya chọrọ;
i mekwaara ya ihe niile ọ rịọrọ gị!

Sela

3 I ji ngọzị bara ụba nabata ya,
ọ bụkwa okpueze e ji ọlaedo a ṅụchara nke ọma kpụọ ka i kpukwasịrị ya n'isi.
4 Ọ rịọrọ ka i nye ya ndụ, i zara ekpere ya
mekwaa ka o nwee ogologo ndụ nke ga-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
5 Nsọpụrụ ya dị ukwuu site na mmeri niile i nyere ya,
ebube na ịma mma bụ onyinye i nyere ya.
6 N'ezie, i nyela ya ngọzị na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi,
i mere ka o nwee obi ụtọ nke na-esite n'ọṅụ nke nọnyere gị.
7 N'ihi na eze na-atụkwasị ONYENWE ANYỊ obi,
agaghị ewezuga ya n'ọnọdụ ya site n'ịhụnanya
nke Onye kachasị ihe niile elu nke na-enweghị ọgwụgwụ.

8 Ị ga-anwụchi ndị iro gị niile;
aka nri gị ga-ejidekwa ndị kpọrọ gị asị.
9 Mgbe ị pụtara ịlụ ọgụ,

ị ga-erepịa ha dịka ọkụ nke na-enwu ajọ onwunwu.
N’oke iwe ya, ONYENWE ANYỊ ga-elo ha,
ọkụ ya ga-erepịakwa ha.
10 Ị ga-esite n’elu ụwa laa agbụrụ ha niile n’iyi,
ụmụ ha kwa site, n’etiti ụmụ mmadụ.
11 N’agbanyeghị na ha nwere ike ịpịa ọpịpịa ọjọọ megide gị,
maọbụ tụpụta atụmatụ ọjọọ, ha agaghị emezu ebumnuche ha.
12 N’ihi na i ga-eme ka ha gbaghachi azụ
mgbe i kwere ụta gị tụgide ha n’ihu.

13 O ONYENWE ANYỊ, ka e bulie gị elu n’ihi ike gị;
anyị ga-abụ abụ ma tokwaa ike gị.

# Abụ Ọma 22

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. N’usoro olu abụ nke “Nne ele nke ụtụtụ.” Abụ Ọma Devid.

*Akwa na abụ ekele*

1 Chineke m, Chineke m, gịnị mere i jiri hapụ m?
Gịnị mere i ji nọ ebe dị anya ịzọpụta m,
n’ebe dị anya site n’ịsụ ude m niile?
2 O Chineke m, ana m akpọku gị n’ehihie, ma ị dịghị aza m,
n’abalị kwa, ma ọ dịghị izuike m nwere.*

3 N’ezie, i nọ n’ocheeze gị dịka Onye ahụ dị Nsọ;
ị bụ otuto ndị Izrel.
4 Nna anyị ha tụkwasịrị gị obi;
ha tụkwasịrị gị obi, ị zọpụtakwara ha.
5 Ha kpọkuru gị si otu a bụrụ ndị a zọpụtara;
ihere emeghị ha n’ihi na ha tụkwasịrị gị obi.

6 Abụ m idide, abụghị m mmadụ;
onye ndị ọzọ na-akwa emo, onye ndị mmadụ na-eleda anya.
7 Ndị niile hụrụ m na-achị m ọchị;
na-emiri m ọnụ ịkwa emo, na-efufekwa isi ha na-asị.
8 “O na-atụkwasị ONYENWE ANYỊ obi;
ka ONYENWE ANYỊ bịa gbapụta ya.
Ya napụta ya ebe ọ bụ
na ihe ya masịrị ya.”

9 Ma ONYENWE ANYỊ, ọ bụ gị wepụtara m site n’afọ nne m.
Ọ bụ gị mere ka m tụkwasị gị obi, ọ bụladị mgbe m ka na-aṅụ ara.
10 Site n’oge amụrụ m ka e nyefere m n’aka gị.
Site n’afọ nne m, ka gị onwe gị bụ Chineke m.

11 Anọla m ebe dị anya,
n’ihi na nsogbu dị nso.
Ọ dịkwaghị onye inyeaka nọ nso.

12 Ọtụtụ oke ehi gbara m gburugburu;

* **Abụ Ọma 22:2** 22:2 Maọbụ, N’abalị, adịghị m emechikwa ọnụ m

oke ehi dị ike nke Bashan† gbara m gburugburu.
13 Ọdụm ndị na-agbọ ụja mgbe ha na-adọgbu anụ ọhịa
asaghepụla ọnụ ha megide m.
14 A wụpụla m dịka mmiri,
ọkpụkpụ m niile apụkwaala n'ọnọdụ ha.
Obi m agbazela dịka mmanụ,
obi ịlọ mmiri ewerela ọnọdụ n'ime m.
15 Ike ọbụla adịghịkwa m n'ahụ, dịka a ga-asị na m bụ ụrọ nke anwụ mịkọọrọ mmiri
dị ya n'ime.
Ire m na-araparakwa m n'ọnụ,
n'ihi na ị tọgbọrọ m n'ọnụ ọnwụ.

16 Ọtụtụ nkịta agbaala m gburugburu;
otù ndị na-eme ihe ọjọọ agbaala m gburugburu,
ha adupuola m aka m na ụkwụ m.
17 A pụrụ ịgụta ọkpụkpụ m niile ọnụ;
ndị mmadụ na-ele m anya na-emikwa ọnụ ọchị
18 Ha na-eke uwe m n'etiti ha,
ha sitere n'ife nza kee uwe m.

19 Ma gị, ONYENWE ANYỊ, anọla m ebe dị anya;
gị Onye bụ ike m, mee ngwangwa bịa nyere m aka.
20 Napụta ndụ m site na mma agha,
site n'ike ụmụ nkịta, napụta ndụ m nke dị oke ọnụahịa.
21 Gbapụta m site n'ọnụ ọdụm ndị a,
zọpụta m site na mpi atụ ndị a.

22 Aga m ekwupụta aha gị nye ụmụnna m;
n'etiti ọha mmadụ aga m enye gị otuto.
23 Toonu ONYENWE ANYỊ! Unu niile bụ ndị na-atụ egwu ya;
unu bụ ndị agbụrụ Jekọb, sọpụrụnụ ya!
Tụọnụ ya egwu, unu agbụrụ Izrel!
24 N'ihi na o ledaghị ahụhụ onye a na-akpagbu anya
maọbụ kwaa ya emo;
o lefughị ya anya
kama mgbe ọ kpọkuru ya, ọ nụrụ olu akwa ya.

25 Isiokwu otuto m n'etiti ọha mmadụ sitere na gị;
aga m emezukwa nkwa niile m kwere gị n'ihu ndị ahụ na-atụ egwu gị.
26 Ndị ogbenye ga-eri nri, rijuo afọ ha,
ndị niile na-achọ ONYENWE ANYỊ ga-eto ya
ka mkpụrụobi unu dị ndụ ruo mgbe ebighị ebi.

27 Nsọtụ elu ụwa niile ga-echeta,
ma laghachikwute ONYENWE ANYỊ.
Ezinaụlọ nke mba niile dị iche iche
ga-akpọ isiala n'ihu ya.
28 N'ihi na ike ọchịchị bụ nke ONYENWE ANYỊ,
ọ na-achịkwa mba niile.

† **Abụ Ọma 22:12** 22:12 Bashan bụ obodo e ji oke ehi gbara abụba ma dịkwa ike maara. Ọ dị na mpaghara ugwu n'ọwụwa anyanwụ ala Filistia. Dit 3:1; Ems 4:1

29 Ndị ọgaranya niile nke elu ụwa ga-eri oriri ma fee ya;
ihe niile na-anwụ anwụ ga-akpọ isiala n'ihu ya;
ndị na-apụghị idebe onwe ha ndụ.
30 Agbụrụ anyị ga-ejere ya ozi;
a ga-akọrọ ọgbọ ndị na-abịa n'ihu ihe banyere onyenwe anyị.
31 Ha ga-ekwusa ezi omume ya
nye ọgbọ niile na-abịa n'ihu, bụ ndị a na-amụbeghị
n'ihi na o meela ya.

# Abụ Ọma 23

Abụ Ọma Devid.

*Onyenwe anyị na-azụ anyị dị ka atụrụ*

1 Onyenwe anyị na-azụ m dịka atụrụ, ọ dịghị ihe akọrọ m.
2 Ọ na-eme ka m dinaa ala n'ebe ahịhịa ndụ na-eto,
ọ na-edugharị m n'akụkụ mmiri dị jụụ,
3 ọ na-atụte mkpụrụobi m.
Ọ na-edu m n'ụzọ niile nke ezi omume
n'ihi aha ya.
4 A sịkwarị na m na-aga ije,
na ndagwurugwu nke ọchịchịrị ọnwụ,
agaghị m atụ egwu ihe ọjọọ ọbụla;
n'ihi na ị nọnyeere m,
mkpọrọ gị na mkpanaka gị
na-akasị m obi.

5 Ị na-akwado tebul* n'ihu m,
n'anya ndị iro m.
I tere isi m mmanụ†
iko m na-ejubiga oke.
6 N'ezie, ịdị mma na ebere ga-agbaso m
ogologo ụbọchị niile nke ndụ m,
m ga-ebikwa n'ụlọ Onyenwe anyị
mgbe niile ebighị ebi.

# Abụ Ọma 24

Abụ Ọma Devid.

*Eze onyenwe ebube*

1 Ụwa na ihe niile dị n'ime ya bụ nke Onyenwe anyị;
ụwa na ndị niile bi n'ime ya.
2 Ọ tọrọ ntọala ya n'ime oke osimiri niile,
o mekwara ka o guzosie ike.

3 Onye bụ onye ahụ nwere ike irigo n'elu ugwu Onyenwe anyị?
Onye nwere ike ịbata guzo n'ime ụlọnsọ ya?

---

* **Abụ Ọma 23:5** 23:5 N'oge ochie, ọ bụ n'ebe iri nri (tebul) ka enyi na enyi na-anọ agba ndụ, maọbụ nwe nkwekọrịta. Oriri a na-egosi na ọgbụgba ndụ bụ ihe ọñụ na ezi mmekọrịta nke enyi na enyi. Eze ahụ nke na-azụ ndị ya dịka atụrụ, nabatara ohu ya bụ Devid n'ebe iri nri, dịka e dere ya n'abụ ọma a. † **Abụ Ọma 23:5** 23:5 Mmanụ a na-ete n'isi na-esi isi ụtọ, ọ bụ mmanụ a na-ete onye a kporo oriri iji kwanyere ya ugwu. Luk 7:46 Ndị ọzụzụ atụrụ na-ejikwa ya achụ ụmụ ahụhụ na ndanda na-achọ ịrịbanye atụrụ ndị ha na-azụ n'imi.

4 Ọ bụ onye aka ya emeghị ihe ọjọọ, obi ya dịkwa ọcha,
onye na-adịghị atụkwasị obi na chi arụsị,
maọbụ ṅụọ iyi aghụghọ.

5 Ha ga-anata ngọzị site n’aka ONYENWE ANYỊ,
natakwa mkpepụta site n’aka Chineke Onye nzọpụta ha.
6 Otu a ka ọ ga-adịrị ọgbọ ndị ya,
bụ ndị na-achọ ihu gị, Chineke nke Jekọb.

Sela

7 Welitenụ isi unu, unu ọnụ ụzọ ama,
meenụ ka isi unu bụrụ ihe e welitere, unu ọnụ ụzọ ama ochie,
ka eze ebube nwee ike ịbata.
8 Onye bụ eze ebube* a?
Ọ bụ ONYENWE ANYỊ, onye bụ dimkpa na dike.
Ọ bụ ONYENWE ANYỊ, onye bụ dike n’agha.
9 Welitenụ isi unu, unu ọnụ ụzọ ama,
buliekwanụ ha elu, unu ọnụ ụzọ ama ochie,
ka Eze ebube nwee ike ịbatakwa.
10 Onye bụ eze ebube a?
Ọ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
ọ bụ ya bụ Eze ebube!

Sela

# Abụ Ọma 25

Abụ Ọma Devid.

*Ekpere maka odudu na nnapụta*

1 Ọ bụ na gị ONYENWE ANYỊ
ka m tụkwasịrị obi m.

2 O Chineke m, ọ bụ gị ka m tụkwasịrị obi m.
Ekwela ka ihere mee m,
ekwekwala ka ndị iro m merie m.
3 Ihere agaghị eme
onye ọbụla olileanya ya dị na gị,
ma ihere ga-eme ha
bụ ndị niile ịghọ aghụghọ jụrụ ahụ.

4 O ONYENWE ANYỊ, zi m ụzọ gị niile,
kuzikwaara m ụzọ gị niile.
5 Duo m n’eziokwu gị, kuzikwaara m ihe,
n’ihi na ị bụ Chineke, onye Nzọpụta m, ụbọchị niile,
olileanya m dị na gị.
6 Cheta, ONYENWE ANYỊ, oke obi ebere na ịhụnanya gị,
n’ihi na ha na-adị siterị na mgbe ochie.
7 Echetala mmehie m mere n’okorobịa m,
ya na nnupu isi m niile.
Kama site n’ịhụnanya gị cheta m,
ONYENWE ANYỊ, n’ihi na onye dị mma ka ị bụ.

* **Abụ Ọma 24:8** 24:8 Mkp 19:11-16

8 Onye dị mma na onye ezi omume ka ONYENWE ANYỊ bụ;
ọ bụ ya mere ọ na-ezi ndị mmehie ụzọ ya.
9 Ọ na-edu ndị dị umeala n'obi n'ụzọ ziri ezi,
na-ezikwa ha ụzọ nke ya.
10 Ụzọ niile nke ONYENWE ANYỊ jupụtara n'ịhụnanya na ikwesi ntụkwasị obi,
nye ndị niile na-edebe iwu ọgbụgba ndụ ya.
11 N'ihi aha gị, O ONYENWE ANYỊ,
gbaghara m ajọ omume m n'agbanyeghị na ha dị ukwuu.

12 Olee mmadụ ahụ nke na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ?
O ga-ezi ya ihe n'ụzọ ahụ a họpụtaara ya.
13 Ọ ga-ebi ogologo ụbọchị nke ndụ ya n'ime ịba ụba,
ndị agbụrụ ha ga-eketa ala ahụ.
14 ONYENWE ANYỊ na-eme ka ndị ahụ na-atụ egwu ya mara
ọgbụgba ndụ ya na izu nzuzo ya.
15 Anya m abụọ na-elegide ONYENWE ANYỊ mgbe niile;
n'ihi na ọ bụ naanị ya ga-eme ka ụkwụ m abụọ site n'ọnya pụta.

16 Chee m ihu ma gosi m ebere gị,
n'ihi na abụ m onye nọ na nsogbu, naanị m nọkwa.
17 Ihe mgbu nke obi m abaala ụba,
napụta m site n'obi mwute.
18 Lekwasị nsogbu m na ihe mgbu m anya.
Biko, gbaghara m mmehie m niile.
19 Lee ka ndị iro m si mụbaa,
ha ji oke iwe kpọọ m asị.

20 Chebe ndụ m ma gbapụta m;
ekwela ka m bụrụ onye ihere ga-eme,
n'ihi na n'ime gị ka m gbabara izere ndụ
21 Kwere ka ezi omume na izuoke bụrụ ihe ga-agba m gburugburu,
n'ihi na olileanya m dị n'ime gị.

22 O Chineke, Gbapụtakwa Izrel,
site na nsogbu ya niile.

# Abụ Ọma 26

Abụ Ọma Devid.

*Ekpere nke ezi mmadụ*

1 ONYENWE ANYỊ, biko kpepụta m,
n'ihi na ebiela m ndụ zuruoke;*
atụkwasịrị m ONYENWE ANYỊ obi,
na-eleghị anya n'azụ.
2 Tulee m, O ONYENWE ANYỊ, ma nwakwaa m,
nyochaa obi m na echiche m.
3 N'ihi na ejirila m ịhụnanya gị mere ihe nlere anya nye onwe m.
Ana m ejegharịkwa n'ime eziokwu gị.

4 Mụ na ndị na-aghọ aghụghọ adịghị enwe mmekọ ọbụla.

* **Abụ Ọma 26:1** 26:1 2Ez 20:2; Ilu 20:7

Otu a kwa, nnwekọ ọbụla adịghịkwa n’etiti mụ na ndị ihu abụọ.
5 Akpọrọ m otu ndị na-emebi iwu asị.
Mụ na ndị ajọ omume agaghị anọkọkwa.
6 Ana m asacha aka† m abụọ n’ọnọdụ emeghị ihe ọjọọ,
na-eje ozi n’ebe ịchụ aja gị ife gị ofufe, o ONYENWE ANYỊ.
7 Ana m abụkwa abụ ekele,
jiri iti mkpu na-ekwusa otuto gị, na ọrụ ebube gị niile.

8 O ONYENWE ANYỊ, ahụrụ m ụlọ obibi gị n’anya,
ụlọ ahụ ebe ebube gị na-adịgide n’ime ya.
9 Ebibikọtala mụ na ndị mmehie,
ewezugakọtala ndụ m na nke ndị na-awụfu ọbara,
10 ndị aka ha jupụtara n’atụmatụ ọjọọ,
aka nri ha jupụtakwara na ngarị.
11 Ma mụ onwe m na-ebi ndụ zuruoke;
gbapụta m ma meere m ebere.

12 Ụkwụ m na-eguzo n’ala dị larịị;
aga m eto ONYENWE ANYỊ n’etiti ọha mmadụ.

# Abụ Ọma 27

Abụ Ọma Devid.

*Abụ nke iguzosi ike*

1 ONYENWE ANYỊ bụ ìhè* m na nzọpụta m,
onye ka m ga-atụ egwu ya?
ONYENWE ANYỊ bụ ebe siri ike nke ndụ m,
ọ bụkwa onye ka m ga-atụ egwu?

2 Mgbe ndị na-eme ihe ọjọọ busoro m agha
ka ha ripịa anụ ahụ m,
ọ bụ ndị iro m na ndị kpọrọ m asị,
bụ ndị ga-asọ ngọngọ ma dakwaa.
3 Ọ bụrụ na usuu ndị agha agbaa m gburugburu,
obi m agaghị atụ ụjọ ọbụla;
ọ bụladị na agha adaa imegide m,
n’oge ahụ, ka m ga-enwe ntụkwasị obi.

4 Naanị otu ihe ka m rịọrọ n’aka ONYENWE ANYỊ,
nke ahụ bụkwa ihe m na-achọsi ike;
ka m biri n’ụlọ ONYENWE ANYỊ
ụbọchị niile nke ndụ m,
na ka m lekwasị ịma mma ONYENWE ANYỊ,
na ka m chọọ ya n’ime ụlọnsọ ukwuu ya.
5 N’ihi na n’ụbọchị nsogbu,
ọ ga-echebe m n’ime ebe obibi ya;
ọ ga-ezo m n’ime ụlọ ikwu ya;
ma bulie m elu, debe m n’elu oke nkume.

† **Abụ Ọma 26:6** 26:6 Ọ bụrụ na mmadụ asacha maọbụ kwọọ aka ya n’ihu ọha, ọ na-apụta ngọpụ site n’ihe na-ezighị ezi, maọbụ onye dị otu a na-asị, ikpe amaghị m. Abụ 73:13 * **Abụ Ọma 27:1** 27:1 Aịz 60:19-20; Mai 7:8

6 Mgbe ahụ, a ga-eweli isi m elu
karịa ndị iro m gbara m gburugburu;
aga m eji iti mkpu ọṅụ, chụọ aja n'ụlọ ikwu ya;
aga m abụ abụ, kụọ egwu nye ONYENWE ANYỊ.

7 Gee ntị mgbe m na-akpọku gị ONYENWE ANYỊ.
Meere m ebere, zaa m.
8 Obi m na-ekwu banyere gị, "Chọọ ihu ya!"
Ihu gị, ONYENWE ANYỊ, ka m ga-achọ.
9 Ezonarịla m ihu gị,
agbakụtala ohu gị azụ n'iwe;
n'ihi na ị bụrịị onye inyeaka m.
O Chineke, Onye nzọpụta m,
ahapụkwala m.
10 Ọ bụrụrị na nne na nna m ahapụ m,
ONYENWE ANYỊ ga-anabata m.
11 Zi m ụzọ gị, O ONYENWE ANYỊ;
duo m n'ụzọ kwesiri
n'ihi ndị na-akpagbu m.
12 Ararala m nyefee n'aka ndị kpọrọ m asị n'ihi ọchịchọ ha,
ọtụtụ ndị ama ụgha ebiliela imegide m,
ha na-ekupụ ihe ike dịka ume.

13 Olileanya m bụ nke a:
Aga m ahụ ịdị mma ONYENWE ANYỊ
n'ala ndị dị ndụ.
14 Chere ONYENWE ANYỊ;
dịrị ike, nwekwaa ume,
ma chere ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 28

Abụ Ọma Devid.

*Ekpere maka enyemaka na-ekele*

1 Gị ONYENWE ANYỊ ka m na-akpọku;
gị bụ Oke nkume m,
agbala m nkịtị.
Ọ bụrụ na ị jụ ịza m,
aga m eyi otu n'ime ndị ahụ na-arịda n'olulu.
2 Nụrụ arịrịọ m maka ebere
dịka m na-akpọku gị maka enyemaka,
mgbe m chịlịri aka m abụọ elu
n'Ebe gị Kachasị Nsọ.

3 Adọkpụrụla m tinyere ndị ajọ mmadụ,
tinyekwara ndị na-eme ajọ ihe,
ndị ji ire ụtọ agwa ndị agbataobi ha okwu udo,
ma ha bu iro n'ime obi ha.
4 Kwụghachi ha dịka ọrụ ọjọọ ha
na omume ha kwesiri;
kwụghachi ha maka ihe aka ha mere,

ka ihe ga-adakwasị ha bụrụ ihe ha kwesiri iketa.

5 N'ihi na ha adịghị aghọta ọrụ niile nke ONYENWE ANYỊ,
ha adịghịkwa aghọta ihe aka ya abụọ rụrụ,
ọ ga-akwada ha n'ala,
ọ gaghị ewulikwa ha elu ọzọ.

6 Toonu ONYENWE ANYỊ,
n'ihi na o gere ntị n'arịrịọ m rịọrọ ya ka o meere m ebere.
7 ONYENWE ANYỊ bụ ike m na ọta m;
ana m atụkwasị ya obi m, si otu a bụrụ onye a na-enyere aka.
Obi m na-awuli elu n'ihi ọṅụ,
aga m ejikwa abụ m na-eto ya.

8 ONYENWE ANYỊ bụ ike nke ndị ya,
ebe mgbaba e wusiri ike nke nzọpụta dịịrị onye ya etere mmanụ.
9 Zọpụta ndị gị, gọzikwaa ihe nketa gị;*
buuru ha onye ọzụzụ atụrụ, na-ekukwa ha ruo mgbe ebighị ebi.

# Abụ Ọma 29

Abụ Ọma Devid.

*Olu Onyenwe anyị*

1 Toonu ONYENWE ANYỊ, unu ndị bi n'eluigwe,
nyenụ ONYENWE ANYỊ nsọpụrụ n'ihi ebube na ike ya.
2 Nyenụ ONYENWE ANYỊ nsọpụrụ kwesiri aha ya;
kpọọ isiala nye ONYENWE ANYỊ n'ebube nke ịdị nsọ ya.

3 Olu ONYENWE ANYỊ na-ada n'elu osimiri;
olu Chineke dị ebube na-ada ike ike,
olu ONYENWE ANYỊ na-ada dịka egbe eluigwe* n'elu oke osimiri.
4 Olu ONYENWE ANYỊ dị ike,
olu ONYENWE ANYỊ jupụtakwara n'ebube.
5 Olu ONYENWE ANYỊ na-etiwa osisi ukwu sida;
ONYENWE ANYỊ na-etiwasị osisi ukwu sida nke Lebanọn.
6 Ọ na-eme ka Lebanọn wulie elu dịka nwa ehi,
ọ na-eme ka Siriọn† wulie elu dịka nwa atụ.
7 Olu ONYENWE ANYỊ na-agba dịka egbe eluigwe
mgbe amụma na-egbu.
8 Olu ONYENWE ANYỊ na-eme ka ọzara maa jijiji;
ONYENWE ANYỊ na-eme ka ọzara Kadesh maa jijiji.
9 Olu ONYENWE ANYỊ na-eme ka osisi ook gbagọọ‡
na-agbuchapụkwa akwụkwọ niile nke oke ọhịa.
N'ime ụlọnsọ ukwuu ya mmadụ niile na-eti, "Ebube!"

10 ONYENWE ANYỊ nọ n'ocheeze ya n'elu uju mmiri;
ONYENWE ANYỊ na-achị dịka eze ruo mgbe ebighị ebi.
11 ONYENWE ANYỊ na-enye ndị ya ike,

---

* **Abụ Ọma 28:9** 28:9 Maọbụ, ndị nke gị * **Abụ Ọma 29:3** 29:3 Job 37:4-5; Abụ 18:13 † **Abụ Ọma 29:6** 29:6 Nke a bụ aha ndị Fonikisi bi na mpaghara ugwu Hemon na-akpọ ugwu ahụ. Hemon dị n'oke ala nkwa ahụ n'ebe ugwu. Dit 3:9; Abụ 42:6 ‡ **Abụ Ọma 29:9** 29:9 Ime na-eme nne ele

ọ ga-ejikwa udo gọzie ndị ya.

# Abụ Ọma 30

Abụ Ọma. Abụ nke ido obieze Devid nsọ.

*Abụ mgbapụta*

1 Aga m eto gị, O ONYENWE ANYỊ,
n'ihi na i sitere n'ebe dị omimi dọpụta m.
I kweghị ka ndị iro m chịa m ọchị.
2 O ONYENWE ANYỊ Chineke m, akpọkuru m gị, ka i nyere m aka,
ị gwọkwara m.
3 O ONYENWE ANYỊ, i si n'ala ili kpọpụta m,
i mere ka m dịrị ndụ.

4 Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ, unu ndị nsọ ya,
toonu aha nsọ ya.
5 Iwe ya adịghị adịgide tee anya,
ma ime amara ya na-adị ruo ebighị ebi!
Ịkwa akwa nwere ike dịrị ogologo abalị niile,
ma iti mkpu ọṅụ ga-adị n'ụtụtụ.

6 Mgbe m nọ n'udo, asịrị m,
"Ihe ọbụla apụghị ịnapụ m udo m."
7 O ONYENWE ANYỊ, mgbe i gosiri m ihuọma,
i mere ka m kwụrụ chịm dịka ugwu;
ma mgbe i zoro ihu gị site n'ebe m nọ,
adara m mba.

8 Ọ bụ gị, ONYENWE ANYỊ, ka m kpọkuru;
ọ bụkwa onyenwe anyị ka m rịọrọ arịrịọ amara sị,
9 "Uru gịnị dị ma m laa n'iyi?
Uru gịnị dị ma m rịda n'ili?
Uzuzu aja ọ ga-enye gị otuto?
Ọ ga-ekwusa banyere ikwesi ntụkwasị obi gị?"
10 O ONYENWE ANYỊ, gee m ntị ma meere m ebere;
O ONYENWE ANYỊ, bụụrụ m onye inyeaka.

11 I meela ka iti mkpu akwa m ghọọ ite egwu;
ị napụrụ m akwa mkpe m, ma yinye m ọṅụ dịka akwa mmemme.
12 I mere nke a ka obi m bụọ maka otuto gị, ghara ịnọ nwayọọ.
O ONYENWE ANYỊ Chineke m, aga m eto gị ruo mgbe ebighị ebi.

# Abụ Ọma 31

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid.

*Oge m dị gị n'aka*

1 ONYENWE ANYỊ, n'ime gị, ka m gbabara izere ndụ;
ekwela ka ihere* mee m;
site n'ezi omume gị gbapụta m.
2 Tọọ ntị gị n'ala nụrụ olu m,

---

* **Abụ Ọma 31:1** 31:1 Ihere Maọbụ, ihe na-eweta ọnụma ma ọ bụkwanụ, ọnọdụ ịkwa emo

bịa ngwangwa gbapụta m;
ghọọrọ m oke nkume nke ebe mgbaba,
ebe mgbaba e wusiri ike maka nzọpụta m.
3 Ebe ị bụ oke nkume m na ebe mgbaba m e wusiri ike,
n’ihi aha gị, duo m ma na-edukwa m.
4 Napụta m site n’ọnya nke e zobere n’ihi m,
n’ihi na ọ bụ naanị gị bụ ebe mgbaba m siri ike.
5 N’aka gị ka m na-enyefe mmụọ m;
gbapụta m, o Onyenwe anyị, Chineke, onye eziokwu.

6 Akpọrọ m ha asị bụ ndị niile na-efe chi mba ọzọ ndị na-abaghị uru;
ana m atụkwasị Onyenwe anyị obi m.
7 Aga m enwe obi ụtọ ma ṅụrịkwaa ọṅụ n’ime ịhụnanya gị,
n’ihi na ị hụrụ nsogbu m
marakwa ihe mgbu nke mmụọ m.
8 I wereghị m nyefee n’aka ndị iro m,
kama i nyela m ohere ijegharị ebe ọbụla m chọrọ.

9 O Onyenwe anyị, meere m amara n’ọnọdụ ihe mgbu m.
Anya m abụọ na-acha uhie uhie n’ihi ịkwa akwa;
ike adịghịkwa m.
10 Iru ụjụ eriela m ahụ;
ịkwa akwa m ewepụla ihe n’afọ m;
ihe mgbu m mere ka ike gwụsịa m
ruo na ume adịghịkwa n’ọkpụkpụ m.
11 N’ihi ndị iro m niile;
ndị agbataobi m na-eleli m anya.
Ndị enyi m na-atụ ụjọ ịbịakwute m,
ndị hụrụ m n’okporoụzọ na-esite ụzọ ọzọ gafee.
12 Aghọọla m onye e chefuru echefu, dị ka a ga-asị na m nwụrụ anwụ.
A pụrụ iji ite kụwara akwụwa tụnyere m.
13 Anụla m nkwulu ha megide m;
oke egwu dị n’akụkụ niile;
ha na-agba izu megide m,
na-agba izu nzuzo iji napụ m ndụ m.

14 Ma ana m atụkwasị gị obi Onyenwe anyị.
Ekwuola m ya sị, “Naanị gị bụ Chineke m.”
15 Oge m niile dị gị n’aka.
Napụta m n’aka ndị iro m
na n’aka ndị ahụ na-adịghị ezu ike ịchụ m ọsọ.
16 Mee ka amara gị mụkwasị ohu gị dịka anyanwụ;
zọpụta m n’ihi ịhụnanya gị na-enweghị ọgwụgwụ.
17 O Onyenwe anyị, ekwela ka ihere mee m,
n’ihi na akpọkuola m gị;
kama mee ka ihere mee ndị na-eme ihe ọjọọ,
ka ha tọgbọrọ n’ala mmụọ debe ọnụ ha duu.
18 Ka ọnụ ahụ ha ji ekwu okwu ụgha mechie kpamkpam;
n’ihi na ọ bụ site na mpako na nleli
ka ha ji na-ekwu okwu megide ndị ezi omume.

19 Lee ka ịdị mma gị si baa ụba,
nke i na-edebere ndị niile na-atụ egwu gị,
nke ị na-enye ndị na-agbaba n’ime gị,
n’ihu ọha mmadụ.
20 I na-ezobe ha n’ebe nzuzo gị
pụọ n’izu nzuzo nke ụmụ mmadụ;
ị na-echebe ha n’ime ebe obibi gị;
ka ha pụọ n’ebubo nke ire dị iche iche.

21 Otuto dịrị ONYENWE ANYỊ
n’ihi na o gosila m ịhụnanya ya dị ukwuu
mgbe m nọ n’obodo ndị iro gbara gburugburu.
22 Akụjara m, kwuo okwu n’ụjọ sị,
“Ewezugala m site n’ihu ya!”
Ma ị nụrụ arịrịọ m maka ebere
mgbe m kpọkuru gị ka i nyere m aka.

23 Hụnụ ONYENWE ANYỊ n’anya, unu ndị ya niile kwesiri ntụkwasị obi,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ na-anapụta ndị niile kwesiri ntụkwasị obi nye ya,
ma ọ na-akwụghachi ndị mpako oke zuru ezu.
24 Ya mere, dịrịnụ ike, ka obi siekwa unu ike,
unu niile ndị olileanya ha dị n’ime ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 32

Abụ Ọma Devid. Abụ *Maskil.*

*Nkwupụta na mgbaghara mmehie*

1 Onye a gọziri agọzi ka mmadụ ahụ bụ,
onye a gbaghaara ajọ omume ya niile,
onye e kpuchikwaara mmehie ya niile.
2 Ngọzị na-adịrị nwoke ahụ,
onye ONYENWE ANYỊ na-adịghị agụnyere mmehie ya,
onye ahụ nke aghụghọ ọbụla na-adịghịkwa n’ime mmụọ ya.

3 Mgbe m gbachiri nkịtị,
ọkpụkpụ m rere ure
site n’ịsụ ude m ogologo ụbọchị niile.
4 Ehihie niile na abalị niile,
ị tara m ahụhụ,
ume dị m n’obi gwụchara,
dịka mgbe okpomọkụ nke ọkọchị.*

Sela

5 Mgbe ahụ, ekwupụtara m mmehie m niile n’ihu gị,
kwụsịkwa izo ha ezo.
Agwara m onwe m okwu sị,
“Aga m ekwupụta mmehie m niile n’ihu ONYENWE ANYỊ.”
Ị gbaghakwaara m
ikpe ọmụma nke mmehie m niile.

Sela

* **Abụ Ọma 32:4** 32:4 Mgbe anwụ na-amịkọrọ mmiri dị n’ala

6 Ya mere, ka ndị niile bụ ndị ezi omume kpọkuo gị n'ekpere
mgbe e nwere ike ịchọta gị;
n'ụzọ dị otu a, ọ bụrụ na uju mmiri abịa,
ọ gaghị erute ha.
7 Gị onwe gị bụụrụ m ebe nzuzo;
Ị ga-echebekwa m ka nsogbu ọbụla hapụ irute m nso.
Ọ bụkwa abụ nzọpụta ka i ji gbaa m gburugburu.
Sela

8 Aga m eme ka ị nwee uche, zikwa gị ụzọ i kwesiri ịgbaso;
Aga m adụ gị ọdụ, anya m ga-adịkwasịkwa n'ahụ gị.
9 Adịkwala ka ịnyịnya maọbụ ịnyịnya ibu
nke na-enweghị akọnuche,
nke a na-aghaghị iji mkpụmkpụ igwe na eriri kechie ọnụ ya, ijide ya,
ma emeghị otu a, ọ gaghị abịakwute gị.
10 Ọtụtụ ihe mgbu na-abịakwasị ndị na-eme ihe ọjọọ,
ma ịhụnanya Onyenwe anyị nke na-enweghị ọgwụgwụ,
na-agba onye ahụ tụkwasịrị ya obi gburugburu.

11 Ṅụrianụ ọṅụ n'ime Onyenwe anyị, nweekwanụ obi ụtọ, unu ndị ezi omume;
bụọ abụ, unu ndị obi ha ziri ezi.

# Abụ Ọma 33

*Ịdị mma na ịdị ukwuu Onyenwe anyị*

1 Tienụ mkpu ọṅụ nye Onyenwe anyị, unu ndị ezi omume;
n'ihi na ọ bụ ihe ziri ezi ka ndị obi ha ziri ezi too ya.
2 Werenụ ụbọ akwara too Onyenwe anyị;
werenụ une nke nwere akwara iri kpọọrọ ya egwu.
3 Bụkuonụ ya abụ ọhụrụ;
were ǹka kpọọ ụbọ akwara ma tiekwa mkpu ọṅụ.

4 N'ihi na okwu Onyenwe anyị niile ziri ezi bụrụkwa eziokwu;
o kwesiri ntụkwasị obi n'ọrụ ya niile.
5 Onyenwe anyị na-ahụ ezi omume na ikpe ziri ezi n'anya;
ụwa niile jupụtara n'ịhụnanya ya nke na-enweghị ọgwụgwụ.

6 Ọ bụ site n'okwu ọnụ Onyenwe anyị ka e ji kee eluigwe niile,
jirikwa nkuume nke ọnụ ya mee anwụ, na ọnwa na kpakpando niile.
7 Ọ bụ ya kekwara osimiri niile chịkọta ha n'otu ebe,
kpaa oke ebe ha ga-anọ dịka ụlọakụ dị ukwuu.
8 Ka ụwa niile tụọ Onyenwe anyị egwu;
ka mmadụ niile bi n'ụwa sọpụrụ ya.
9 N'ihi na o kwuru okwu, okwu ahụ mezukwara;
o nyere iwu, iwu ahụ guzokwara chịm.

10 Onyenwe anyị na-emebi atụmatụ mba niile;
ọ na-emebi ebumnobi ụmụ mmadụ.
11 Atụmatụ Onyenwe anyị na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi,
ebumnobi ya ruo ọgbọ niile.

12 Mba a gọziri agọzi ka mba ahụ bụ, bụ ndị Chineke bụ ONYENWE ANYỊ ha;
bụ ndị ọ họpụtara ka ha bụrụ ihe nketa ya.
13 ONYENWE ANYỊ si n'eluigwe na-ele ndị mmadụ bi n'ụwa anya.
Ọ na-ahụzu ụmụ mmadụ niile anya.
14 O sitere n'ebe obibi ya na-ele
onye ọbụla bi n'elu ụwa anya.
15 Ebe ọ bụ ya kpụrụ obi mmadụ niile n'otu na otu;
ọ na-ahụzu, na-amazukwa ihe niile ha na-eme.

16 Ọnụọgụgụ ndị agha eze apụghị ịzọpụta ya;
o nweghị onye agha ọbụla na-azọpụta onwe ya, site n'ịdị ukwuu nke ike ya.
17 Ịnyịnya agha ezukwaghị iwetara ndị na-agba ha mmeri n'agha.
Ọ bụ ezie na ịnyịnya dị ike, ma ha apụghị ịzọpụta ndị nwe ha.
18 Ma ONYENWE ANYỊ ji anya ya na-eche ndị niile na-atụ ya egwu nche,
ya bụ ndị niile na-atụkwasị obi ha n'ịhụnanya ya, nke na-adịghị agwụ agwụ.
19 Ọ ga-anapụta ha site n'aka ọnwụ.
Ọ ga-echebekwa ha ọ bụladị n'oge ụnwụ.

20 Anyị ji olileanya eche ONYENWE ANYỊ;
ọ bụ ya bụ inyeaka anyị na ọta anyị.
21 Obi anyị na-aṅụrị ọṅụ n'ime ya;
n'ihi na anyị tụkwasịrị aha nsọ ya obi.
22 O ONYENWE ANYỊ, ka ịhụnanya gị na-adịgidere anyị,
dịka olileanya anyị dị na gị.

# Abụ Ọma 34

Abụ Ọma Devid. Mgbe ọ gbanwere omume ya mee ka onye na-ayị ara n'ihu Abimelek, onye nke chụpụrụ ya, ya a pụọ.

*Chineke dị mma*

1 Aga m eto ONYENWE ANYỊ mgbe niile.
Mgbe niile ka otuto ya ga-adị n'ọnụ m.
2 Mkpụrụobi m ga-anya isi na ONYENWE ANYỊ;
ka ndị niile a na-akpagbu gee ntị ṅụrịa ọṅụ.
3 Soro m too ONYENWE ANYỊ;
ka anyị bulie aha ya elu.

4 N'ihi na etikuru m ONYENWE ANYỊ mkpu akwa, ọ zakwara m,
napụta m site n'aka ịtụ ụjọ m niile.
5 Ihu ndị na-elekwasị ya anya na-enwu dịka ihe;
ihere adịghị eme ha.
6 Onye ogbenye a kpọkuru ONYENWE ANYỊ, ọ zakwara ya;
ọ zọpụtara ya site na nsogbu ya niile.
7 Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ na-agba ndị niile na-atụ egwu ya gburugburu
na-anapụtakwa ha.

8 Jiri aka gị tulee ma hụkwa na ONYENWE ANYỊ dị mma;
onye a gọziri agọzi ka onye ahụ bụ, onye nke na-agbaba n'ime ya.
9 Tụọnụ egwu ONYENWE ANYỊ, unu ndị nsọ ya,
n'ihi na ọ dịghị ihe na-akọ ndị niile na-atụ egwu ya.
10 Agụụ nwere ike ịgụ ụmụ ọdụm, ike pụkwara ịgwụ ha,

ma ihe ọbụla bụ ihe ọma agaghị akọ ndị niile na-achọ ONYENWE ANYỊ.
11 Ụmụ m, bịanụ gee m ntị;
aga m ezi unu ihe ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ bụ.
12 Onye ọbụla n'ime unu hụrụ ndụ n'anya,
ma nwee ọchịchọ ihu ọtụtụ ụbọchị ndị dị mma,
13 chezie ire gị ka ọ ghara ikwu ihe ọjọọ,
chezikwaa egbugbere ọnụ gị ka ọ gharakwa ịgha ụgha.
14 Site n'ihe ọjọọ wezuga onwe gị ma mee ezi ihe,
chọọ udo ma gbasookwa ya.

15 Anya ONYENWE ANYỊ dị n'ahụ ndị ezi omume,
ntị ya gheekwa oghe nye mkpu akwa ha;
16 ma ihu ONYENWE ANYỊ na-emegide ndị na-eme ihe ọjọọ,
ime ka a hapụ ichetakwa ihe banyere ha n'ụwa.

17 ONYENWE ANYỊ na-anụ olu ndị ezi omume, mgbe ha na-akpọku ya ka o nyere ha aka;
ọ na-azọpụtakwa ha site na nsogbu ha niile.
18 ONYENWE ANYỊ na-anọ ndị niile obi ha tiwara etiwa nso,
ọ na-anapụta ndị niile olileanya ha gwụrụ.

19 Nsogbu na-adakwasị ndị ezi omume na-adị ukwuu,
ma ONYENWE ANYỊ na-anapụta ha site na nsogbu ndị ahụ niile.
20 Ọ na-anapụtakwa ha kpamkpam.
Ọ gaghị ekwe ka ọ bụladị otu ọkpụkpụ dị ha n'ahụ gbajie.

21 Ihe ọjọọ ga-eme ka onye ajọ omume nwụọ;
ndị na-akpọ onye ezi omume asị ka a ga-ama ikpe ọnwụ.
22 ONYENWE ANYỊ na-agbapụta ndị ohu ya;
ọ dịghị onye ọbụla nke na-agbaba n'ime ya a ga-ama ikpe ọnwụ.

# Abụ Ọma 35

Abụ Ọma Devid.

*Ekpere maka enyemaka*

1 O ONYENWE ANYỊ, lụso ha ọgụ bụ ndị na-alụso m ọgụ;
buso ha agha bụ ndị na-ebuso m agha.
2 Yikwasị uwe agha gị, werekwa ọta gị;
bilie bịa nyere m aka.
3 Sepụta ùbe gị na anyụike agha gị;
bịa zute ndị na-achụ m ọsọ.
Gwa mkpụrụobi m,
"Abụ m nzọpụta gị."

4 Mee ka ihere mee
ndị niile na-agbalịsị ike igbu m.
Ka ndị na-agba izuzu igbu m bụrụkwa ndị a chụghachiri azụ,
na ndị ihere mere.
5 Ka ha dịka igbugbo ọka mgbe oke ifufe na-efe,
ka mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ bụrụ onye na-achụfu ha.
6 Mee ka ụzọ ha gbaa ọchịchịrị, bụrụkwa ebe na-amị amị;

ka mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ bụrụ onye na-achụ ha ọsọ.

7 Ọ bụ ezie na ọ dịghị ihe ọjọọ ọbụla m mere ha,
ma ha siere m ọnya, gwukwaara m olulu n'ụzọ m.
8 Ka mbibi bịakwasị ha na mberede,
ka ụgbụ ha zobeere m kee ha;
ka ha lakwaa n'iyi site n'idaba n'olulu ahụ ha gwuru.
9 Mgbe ahụ, mkpụrụobi m ga-aṅụrị ọṅụ na ONYENWE ANYỊ,
ọ ga-enwekwa obi ụtọ n'ime nzọpụta ya.
10 Ihe niile dị n'ime m ga-eti mkpu sị,
"O ONYENWE ANYỊ, ọ bụ onye dịka gị?
Ị na-agbapụta ndị na-adịghị ike site n'aka ndị dị ike karịa ha,
ma na-anapụta ndị ogbenye ndị chọrọ enyemaka site n'aka ndị na-apụnara ha ihe ha nwere n'ike."

11 Ndị akaebe, ndị kwara obi n'azụ na-apụkwute m;
ha na-ebo m ebubo ihe ndị m na-anụbeghị ihe banyere ha na mbụ.
12 Ana m emere ha ihe ọma, ma ha na-akwụghachi m ihe ọjọọ.
Nke a na-ewute mmụọ m ruo n'ọnwụ.
13 Mgbe ha na-arịa ọrịa, eyiri m akwa mkpe,
site na ibu ọnụ weda onwe m n'ala.
Mgbe ekpere m lọghachikwutere m na-enweghị ọsịsa,
14 ejegharịrị m n'ọnọdụ iru ụjụ,
dịka a ga-asị na ọ bụ nwanne m, maọbụ enyi m,
jegharịakwa n'obi ọjọọ dịka a ga-asị
na ọ bụ nne m na-arịa ọrịa ahụ.
15 Ma mgbe m dahiere, ha zukọtara na-aṅụrị ọṅụ;
mgbe m na-adịghị ele anya, ha biliri imegide m.
Ha na-ekwulu m na-esepụghị aka.
16 Dịka ndị ajọ omume, ha na-akwa m emo n'iwe,
na-atakwara m ikikere eze ha.

17 O Onyenwe anyị, ọ bụ ruo ole mgbe ka ị ga-anọ na-ele ihe na-eme?
Gbapụta ndụ m site na mbibi ha niile,
site n'aka ụmụ ọdụm ndị a, gbapụta ndụ m dị oke ọnụahịa.
18 Aga m enye gị ekele n'ihu ọha mmadụ dị ukwuu,
n'etiti ọha kachasị ibe ya dị ukwuu, ka m ga-anọ too gị.
19 Ekwekwala ka ndị ahụ bụ ndị iro m,
mgbe o nweghị ihe m mere ha, chịa m ọchị;
ekwekwala ka ndị ahụ kpọrọ m asị n'ihi iro,
mgbe o nweghị ihe m mere ha nwee izuike.
20 N'ihi na ọ bụghị okwu udo ka ha na-ekwu,
kama ha na-echepụta ebubo ụgha dị iche iche
megide ndị ahụ na-anọrọ onwe ha jụụ n'ime ala ahụ.
21 N'iju anya, ha na-ele m anya na-eti mkpu na-asị,
"Ewoo! Ewoo! Anya anyị abụọ ka anyị ji hụ ya."

22 O ONYENWE ANYỊ, ị hụla nke a, agbakwala nkịtị;
anọkwala m n'ebe dị anya, O Onyenwe anyị.
23 Teta, bilie bụụrụ m onye mkpepụta m.
Kpechitere m ọnụ m, Chineke m na onyenwe m.

24 O ONYENWE ANYỊ Chineke m, kpepụta m n'ihi ezi omume gị;
ekwekwala ka ha chịa m ọchị.
25 Ekwekwala ka ha sị, "Ahaa, ọ dị ka anyị tụrụ anya ya!"
Maọbụ sị, "Anyị eloola ya!"

26 Mee ka ihere na ọgbaaghara
bụrụ nke ndị na-achị m ọchị n'ime mkpagbu m;
were ihere na nweda n'ala yinye ha dịka uwe,
bụ ndị niile na-ebuli onwe ha elu imegide m.
27 Ka ndị niile mkpepụta m dị mma
were obi ụtọ tie mkpu ọṅụ;
ka ha na-asị mgbe niile, "Ka e bulie ONYENWE ANYỊ elu,
onye ọdịmma nke ohu ya na-amasị."

28 Ire m ga-ekwu banyere ezi omume gị
na otuto gị niile ogologo ụbọchị niile.

# Abụ Ọma 36

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid, bụ ohu ONYENWE ANYỊ.

*Ajọ omume mmadụ na ịdị mma Chineke*

1 E nwere m ozi dị n'ime obi nke sitere n'aka Chineke
banyere ndụ mmehie nke ndị na-eme ajọ ihe:*
Ọ dịghị ịtụ egwu Chineke
dị n'anya ha.

2 N'ihi ha na-agwarịta onwe ha okwu ire ụtọ n'anya ha onwe ha,
na o nweghị ụzọ a ga-esi nwe ike ịchọpụta mmehie ha maọbụ kpọọ ya asị.
3 Okwu ọnụ ha niile bụ ihe ọjọọ na aghụghọ;
ha adịghị eji uche eme ihe maọbụ mee ihe dị mma.
4 Ọ bụladị mgbe ha nọ n'elu ihe ndina ha, ha na-eche echiche ajọ ihe;
ha enyefeela onwe ha n'aka ndụ ajọ omume,
ha adịghị ajụkwa ihe na-ezighị ezi.

5 O ONYENWE ANYỊ, ịhụnanya gị na-eru mbara eluigwe,
ikwesi ntụkwasị obi gị na-erukwa igwe ojii nke eluigwe.
6 Ezi omume gị dịka ugwu dị ukwuu,
ikpe ikpe ziri ezi gị dịka omimi nke oke osimiri.
O ONYENWE ANYỊ, ị na-echebe ụmụ mmadụ na anụmanụ.
7 Lee ka ịhụnanya gị nke na-adịghị agwụ agwụ si dị oke ọnụahịa, O Chineke!
Ụmụ mmadụ na-agbaba n'okpuru ndo nke nku gị abụọ.
8 Ha na-eri oriri site n'ịba ụba nke ụlọakụ gị;
Ị na-enyekwa ha mmiri site n'iyi nke obi ụtọ gị.
9 N'ihi na mmiri na-enye ndụ dị na gị;
ọ bụkwa n'ìhè gị ka anyị na-ahụ ìhè.

10 Mee ka ịhụnanya gị na-adịgidere ndị maara gị,
ka ezi omume gị na-adịgidekwara ndị ziri ezi n'obi.
11 Ekwela ka ndị mpako a zọọ m ụkwụ n'isi,

---

* **Abụ Ọma 36:1** 36:1 Maọbụ, Ozi si n'aka Chineke: Mmebi iwu nke ndị ajọ omume bi n'ime obi ha.

ekwekwala ka aka ndị ajọ omume nupu m n’ebe m guzo.
12 Lee ka ndị na-eme ajọ ihe si daa n’ala,
a kwatuola ha n’ala, ha apụghịkwa ibilite ọzọ.

# Abụ Ọma 37

Abụ Ọma Devid.

*Ọgwụgwụ ndụ mmadụ*

1 Echegbula onwe gị n’ihi ndị na-eme ihe ọjọọ,
maọbụ kwosa ndị na-eme ihe ọjọọ ekworo;
2 n’ihi na mgbe na-adịghị anya, ha ga-akpọnwụ dịka ahịhịa,
dịka ahịhịa ndụ, ha ga-anwụkwa.

3 Tụkwasị ONYENWE ANYỊ obi meekwa ihe ziri ezi;
biri n’ala na nchebe, rijuokwa afọ.
4 Ka ihe ONYENWE ANYỊ tọọ gị ụtọ.
Ọ ga-enyekwa gị ihe niile bụ ọchịchọ nke obi gị.

5 Nyefee onwe gị n’aka ONYENWE ANYỊ;
tụkwasị ya obi, ọ ga-emere gị nke a:
6 Ọ ga-eme ka ezi omume gị pụta ìhè dịka ihe nke chị ọbụbọ,
meekwa ka izi ezi nke ikpe gị dịka ihe nke anyanwụ n’ehihie.

7 Dere duu n’ihu ONYENWE ANYỊ,
were ndidi chere ya;
echegbula onwe gị mgbe ndị ọzọ na-enwe ọganihu,
mgbe ha na-emezu atụmatụ ọjọọ ha niile.

8 Kwụsị iwe iwe, kwụsịkwa oke iwe;
echegbula onwe gị, ọ na-eduba naanị n’ihe ọjọọ.
9 N’ihi na a ga-ala ndị ajọ omume n’iyi,
ma ndị niile olileanya ha dị na ONYENWE ANYỊ ga-eketa ala ahụ dịka ihe nketa ha.

10 Ọ fọdụrụ nwa oge nta, ndị ajọ omume ga-agabiga;
ọ bụ ezie na ị ga-achọ ha, ma ị gaghị achọta ha.
11 Ma ndị niile dị nwayọọ n’obi ga-eketa ala a dịka ihe nketa ha,
ha ga-enwekwa udo dị ukwuu.

12 Ndị ajọ omume na-agba izu ọjọọ megide ndị ezi omume,
na-ata ikekere eze megide ha;
13 ma onyenwe anyị na-achị ndị ajọ omume ọchị,
n’ihi na ọ maara na ụbọchị ha na-abịa.

14 Ndị ajọ omume amịpụtala mma agha ha,
kwee ụta ha
ime ka ndị nọ na mkpa na ndị ogbenye daa,
igbu ndị ụzọ ha ziri ezi.
15 Ma ha ga-ewere mma agha ha gbuo onwe ha,
kụrisiekwa ụta ha.

16 Ihe ntakịrị nke onye ezi omume nwere

dị mma karịa akụnụba ọtụtụ ndị ajọ omume;
17 n’ihi na a ga-etiji ike niile nke ndị ajọ omume,
ma ONYENWE ANYỊ ga-akwagide ndị ezi omume.

18 Ndị na-enweghị ịta ụta na-ebi ndụ ha n’okpuru nlekọta ONYENWE ANYỊ,
ihe nketa ha ga-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
19 N’oge ihe ndakwasị, ha agaghị akpọnwụ;
ha ga-erijukwa afọ n’ụbọchị ụnwụ.

20 Ma ndị ajọ omume ga-ala n’iyi.
N’agbanyeghị na ndị iro ONYENWE ANYỊ dịka ịma mma nke ubi ahịhịa ndụ,
ha ga-agabigakwa ngwangwa n’anya dịka anwụrụ ọkụ.

21 Ndị na-eme ihe ọjọọ na-ebiri mmadụ ihe ma ha adịghị akwụghachi ya,
ma onye ezi omume na-eme amara na-enye ndị ọzọ ihe o nwere.
22 Ndị ONYENWE ANYỊ gọziri agọzi ga-eketa akụ nke ụwa,
ma ndị ọ bụrụ ọnụ ka a ga-egbuchapụ.

23 Ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ nwere mmasị na ndụ mmadụ,
ọ ga-eme ka nzọ ụkwụ ya guzosie ike;
24 ọ bụrụ na ọ kpọbie ụkwụ, ọ gaghị ada,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ na-eji aka ya ejigide ya.

25 Abụ m nwantakịrị na mbụ, ugbu a, abụ m agadi,
ma ahụbeghị m ebe e chefuru ndị ezi omume,
maọbụ ebe ụmụ ha na-arịọ nri.
26 Mgbe niile, ha na-eme amara jiri obi ha na-agbazinye ndị mmadụ ihe,
ụmụ ha ga-abụ ngọzị.

27 Site n’ihe ọjọọ pụọ, mee ezi ihe,
mgbe ahụ, i ga-ebi n’ala a ruo mgbe ebighị ebi.
28 ONYENWE ANYỊ na-ahụ onye ezi omume na ikpe ziri ezi n’anya.
Ọ gaghị ahapụkwa ndị ya kwesiri ntụkwasị obi.

A ga-echebe ha ruo mgbe ebighị ebi,
ma ụmụ ndị ajọ omume ka a ga-egbuchapụ;
29 ndị ezi omume ga-eketa ala ahụ dịka ihe nketa ha,
ha ga-ebikwa n’ime ya ruo mgbe ebighị ebi.

30 Okwu amamihe na-esi n’ọnụ onye ezi omume pụta,
ire ya na-ekwukwa ihe ziri ezi.
31 Iwu Chineke ya dị ya n’obi;
nzọ ukwu ha adịghị agbụchapụ.

32 Ndị ajọ omume na-echere ndị ezi omume na nzuzo,
na-achọ ịnapụ ha ndụ ha;
33 ma ONYENWE ANYỊ agaghị ahapụ ha n’aka ha,
ọ gaghị ekwe ka a maa ha ikpe mgbe a na-ekpe ha ikpe.

34 Chere ONYENWE ANYỊ,
debekwa ụzọ ya.

Ọ ga-ebuli gị elu ka i nweta ala ahụ dịka ihe nketa;
mgbe a na-egbuchapụ ndị ajọ omume, ị ga-eji anya gị hụ ya.

35 Ahụla m onye ajọ omume na nwoke na-eme ihe ike,
ka ọ na-eto, na-awasa, dịka osisi dị ndụ n’ezi ala,
36 ma ọ dịghị anya, ọ nwụrụ,
n’agbanyeghị na m chọgharịrị ya, ọ dịghị ebe ọbụla a hụrụ ya.

37 Ma tụgharịa uche banyere ndị ezi omume, rịbaa ndị ụzọ ha ziri ezi ama;
ọganihu dịịrị onye udo.
38 Ma a ga-ala ndị mmehie niile n’iyi;
ọ dịghị olileanya dịịrị ndị ajọ omume.

39 Nzọpụta nke ndị ezi omume si n’aka ONYENWE ANYỊ bịa;
ọ bụ ebe ha e wusiri ike n’oge nsogbu.*
40 ONYENWE ANYỊ na-enyere ha aka, na-anapụtakwa ha
ma na-azọpụtakwa ha site n’aka ndị ajọ omume,
n’ihi na ha mere ya ebe mgbaba ha.

# Abụ Ọma 38

Abụ Ọma Devid. Arịrịọ.

*Arịrịọ n’oge nsogbu*

1 Biko, ONYENWE ANYỊ, abarala m mba n’iwe,
maọbụ taa m ahụhụ mgbe iwe gị dị ọkụ.
2 N’ihi na àkụ gị niile amapuola m ahụ,
aka gị adakwasịkwala m, dịka ọ bụ ọkpọ.
3 N’ihi oke iwe gị, ọ dịghị izuoke dị n’ime anụ ahụ;
enweghịkwa m udo n’ime ọkpụkpụ m niile n’ihi mmehie m.
4 Mmetụta ikpe ọmụma m na-adakwasị m
dịka ibu arọ nke dị arọ karịa m.

5 Ọnya m na-ere ure na-asọ oyi
n’ihi mmehie enweghị uche m.
6 Abụ m onye a nyidara ma kwatukwaa n’ala
ogologo ụbọchị niile, ana m agagharị n’iru ụjụ.
7 Azụ na-egbu m mgbu nke ukwuu
ahụ adịghịkwa m.
8 Ume ọbụla adịghịkwa n’ime. Adị m ka onye e gwepịara egwepịa.
Ana m asụ ude n’ihi oke ihe mgbu nke obi.

9 O Onyenwe m, ị maara agụụ niile nke na-agụ obi m;
ịsụ ude m ezokwaghị ezo n’ebe ị nọ.
10 Obi na-alọ m mmiri, ike na-agwụkwa m,
ìhè esitekwala n’anya m pụọ.
11 Ndị m hụrụ n’anya na ndị enyi m na-asọ m oyi n’ihi ọnya m,
ndị agbataobi m na-anọ m ebe dị anya.
12 Ndị na-achọ igbu m na-esiri m ọnya,
ndị ahụ chọrọ imerụ m ahụ na-ekwu maka ihe dakwasịrị m;
ogologo ụbọchị niile ha na-agba izuzu aghụghọ.

* **Abụ Ọma 37:39** 37:39 Abụ 9:9; Nhu 1:7

13 Adị m ka onye ntị chiri, onye na-apụghị ịnụ ihe ọbụla,
dịka onye ogbu, onye na-apụghị imeghe ọnụ ya.
14 Adịla m dịka onye na-anaghị anụ ihe,
onye ọnụ ya apụghị ịsa okwu.
15 O ONYENWE ANYỊ, ana m eche gị;
o Onyenwe m Chineke m, ị ga-aza.
16 N'ihi na asịrị m, "Ekwela ka ha ṅụrịa ọṅụ n'isi m;
maọbụ bulie onwe ha elu n'ebe m nọ mgbe ụkwụ m na-agbuchapụ."

17 N'ihi na lee, ana m achọ ịda ada.
Anọkwa m n'ọnọdụ oke mgbu.
18 Ana m ekwupụta mmehie m;
mmehie m na-ewute m.
19 Ndị iro m, ndị na-eme ihe ike dị ọtụtụ,
ndị na-akpọ m asị, na-enweghị ihe m mere, bara ụba.
20 Ndị na-eji ihe ọjọọ akwụghachi m ezi ihe,
na-ebo ebubo megide m
n'agbanyeghị na m na-achọ ime naanị ezi ihe.

21 O ONYENWE ANYỊ, ahapụkwala m;
O Chineke m, anọkwala m ebe dị anya.
22 Bịa ọsịịsọ inyere m aka
Onyenwe m na Onye nzọpụta m.

# Abụ Ọma 39

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ maka Jedutun. Abụ Ọma Devid.

*Nkwupụta mmehie*

1 Asịrị m, "Aga m elezi anya n'ụzọ m niile
ma debe ire m ka m ghara ikwuhie*;
aga m eji ihe kechie ọnụ m
mgbe m nọ n'etiti ndị ajọ omume."
2 Ma mgbe m mechiri ọnụ m ma nọrọ duu,
jụ ikwu ọ bụladị ihe ọbụla dị mma,
oke ihe mgbu m mụbara.
3 Obi m kporo ọkụ n'ime m,
ma mgbe m na-atụgharị ihe ndị a n'uche, ọkụ ahụ nọ na-ere;
mgbe ahụ ekwuru m okwu sị:

4 "O ONYENWE ANYỊ, gosi m ọgwụgwụ nke ndụ m
na ọnụọgụgụ ụbọchị m niile;
mee ka m mara na ndụ m na-agafe ngwangwa.
5 I meela ka ụbọchị m niile bụrụ naanị ihe dị nta;
ogologo afọ m niile adịghị ka ihe ọbụla n'ihu gị.
Ndụ onye ọbụla bụ naanị otu nkuume
ọbụladị ndị dịka ha guzosirike.

Sela

6 "N'ezie onye ọbụla na-ejegharị dịka onyinyo
n'efu ka ha na-ekwogharị n'otu ebe na nke ọzọ, na-akpakọba akụ,

* **Abụ Ọma 39:1** 39:1 Job 2:10; Abụ 34:13; Jem 3:5-12

na-amaghị onye ọ ga-abụ nke ya n'ikpeazụ.

7 "Ma ugbu a, Onyenwe m, gịnị ka m na-ele anya ya?
Olileanya m dị n'ime gị.
8 Zọpụta m site na mmehie m niile;
ekwela ka m bụrụ ihe ọchị nye ndị nzuzu.
9 Agbachiri m nkịtị, ajụrụ m ikwu okwu,
n'ihi na ọ bụ gị mere ihe a.
10 Kwụsị iti m ihe;
ihe otiti nke aka gị ezuola m ahụ.
11 Ị na-abara ndị mmadụ mba ma na-ata ha ahụhụ n'ihi mmehie ha;
ị na-eripịa akụnụba ha dịka nla,
mmadụ ọbụla bụ naanị otu nkuume.
Sela

12 "O ONYENWE ANYỊ, nụrụ ekpere m,
gekwaa ntị n'akwa m maka enyemaka;
emechila ntị gị nye ibe akwa m.
N'ihi ana m ebinyere gị dịka onye ọbịa,
dịka onye ije, dịka nna nna m ha mere.
13 Lepụ anya na-ebe m nọ, ka m nwee ike kporie ndụ ọzọ,
tupu m hapụ ebe a laa, a gaghị ahụkwa m ọzọ."

# Abụ Ọma 40

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid.

*Abụ ekele*

1 Eji m ndidi chere ONYENWE ANYỊ,
ọ tụgharịkwutere m, ọ nụkwaara akwa m.
2 O sitere n'olulu na-amị amị,
nke apịtị na ụrọ juru, sepụta m;
o guzobere ụkwụ m abụọ n'elu oke nkume,
nyekwa m ebe siri ike ka m guzo.
3 O tinyere abụ ọhụrụ n'ọnụ m,
abụ otuto nye Chineke anyị.
Ọtụtụ ga-ahụ ya ma tụọ egwu,
ha ga-atụkwasị obi ha n'ime ONYENWE ANYỊ.

4 Onye a gọziri agọzi ka onye ahụ bụ,
onye na-eme ONYENWE ANYỊ ebe ntụkwasị obi ya;
onye na-adịghị ele ndị mpako anya
maọbụ ndị na-atụgharị gbasoo arụsị.*
5 O ONYENWE ANYỊ Chineke m,
ọrụ ebube ị rụrụ dị ọtụtụ,
ọ dịghị onye pụrụ ịgụkọta ihe niile
ị kwadooro maka inye anyị;
a sịkwarị na aga m ekwu ma kọsaa ihe banyere ha,
ha karịrị ihe ọnụ pụrụ ikwu.

* **Abụ Ọma 40:4** 40:4 Maọbụ, gbasoo okwu ụgha

6 Aja na onyinye† abụghị ihe ị chọrọ
ma ị megheela ntị abụọ;
aja nsure ọkụ na aja a chụrụ maka mmehie abụghị ihe ị chọrọ.
7 Mgbe ahụ, ekwuru m sị, “Lee m, abịala m,
e dere banyere m n’ime akwụkwọ mpịakọta.
8 O Chineke m, ọ bụ ọchịchọ m ime ihe ị na-achọ,
iwu gị dị n’ime obi m.”

9 Ana m anọ n’etiti ọgbakọ ukwuu na-ekwusa ihe ziri ezi;
dịka ị maara, o ONYENWE ANYỊ,
anaghị m emechi ọnụ m.
10 Ekpuchighị m ezi omume gị n’ime obi m,
ana m ekwupụta maka ikwesi ntụkwasị obi gị na nzọpụta gị.
Adịghị m ekpuchi ịhụnanya na eziokwu gị,
n’ebe ọgbakọ ukwuu nọ.

11 O ONYENWE ANYỊ, ezonarịla m ebere gị,
ka ịhụnanya gị na eziokwu gị chebe m oge niile.
12 N’ihi na ọtụtụ nsogbu a na-apụghị ịgụta ọnụ gbara m gburugburu;
mmehie m niile akarịala m, apụghịkwa m ịhụ ụzọ:
ha karịrị agịrị isi dị m n’isi,
obi m na-adakwa mba n’ime m.
13 O ONYENWE ANYỊ, ya masị gị ịzọpụta m;
O ONYENWE ANYỊ, bịa ngwangwa inyere m aka.

14 Ka ndị niile na-achọ ịnapụ m ndụ m,
bụrụ ndị a ga-etinye n’ọnọdụ ihere na ọgbaaghara;
ka ndị niile ọ na-amasị ịhụ ịla n’iyi m,
laghachi azụ n’ihere.
15 Ka ndị ahụ na-asị m,
“Ehee! Ehee!” kụja n’ihi ihere onwe ha.
16 Ma ka ndị niile na-achọ gị
ṅụrịa ọṅụ, nweekwa obi ụtọ n’ime gị;
ka ndị ahụ hụrụ nzọpụta gị n’anya na-ekwu mgbe niile,
“ONYENWE ANYỊ dị ukwuu.”

17 Ma mụ onwe m bụ m ogbenye na onye nọ na mkpa;
ka ONYENWE ANYỊ cheta m.
Ị bụ onye inyeaka m na onye mgbapụta m;
Ị bụ Chineke m, anọla ọdụ ịbịa.

# Abụ Ọma 41

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid.

*Ekpere onye ọrịa*

1 Ndị a gọziri agọzi ka ha bụ ndị nwere uche na-eleta ndị ogbenye;
ONYENWE ANYỊ na-azọpụta ha n’oge nsogbu.
2 ONYENWE ANYỊ ga-echebe ha, debekwa ha ndụ;
ọ ga-eme ka ihe na-agara ha nke ọma n’ala ahụ,
ọ gaghị arara ha nye n’ọchịchọ ndị iro ha.

† **Abụ Ọma 40:6** 40:6 1Sa 15:22; Abụ 51:16-17; Aịz 1:11; Jer 7:22-23; Mai 6:6-8; Hib 10:5-9

3 ONYENWE ANYỊ na-elekọta ha mgbe ahụ na-esighị ha ike,
meekwa ka ahụ dị ha mma.

4 Ekwuru m sị, “O ONYENWE ANYỊ, meere m ebere;
gwọọ m, n’ihi na emehiela m megide gị.”
5 Ndị iro m na-esite n’iro ha ekwu okwu megide m
na-asị, “Olee mgbe ọ ga-anwụ ka aha ya laa n’iyi?”
6 Mgbe otu n’ime ha bịara ịhụ m,
ọ na-ekwu okwu ụgha, ma obi ya na-achịkọta ihe nkwulu;
mgbe ahụ ọ na-apụ, ga kọsaa ya.

7 Ndị niile kpọrọ m asị na-agbarịta izu megide m;
ha na-echekwa echiche ọjọọ banyere m, na-asịrịta onwe ha:
8 “Ọrịa ọjọọ adakwasịla ya;
ọ gaghị esite na ihe ndina ya bilie ọtọ ọzọ.”
9 Ọ bụladị ezigbo enyi m,
onye m tụkwasịrị obi,
onye mụ na ya na-eso erikọ nri m,
ebiliela imegide m.

10 Ma gị, O ONYENWE ANYỊ, meere m ebere,
mee ka ahụ sie m ike ọzọ, ka m nwee ike kwụghachi ha ụgwọ.
11 Amaara m na ihe banyere m na-atọ gị ụtọ n’obi,
n’ihi na i kwebeghị ka ndị iro m nwee mmeri n’ebe m nọ.
12 N’ihi ikwesi ntụkwasị obi m, ị na-akwagide m,
mee ka m nọrọ n’ihu gị ruo mgbe ebighị ebi.

13 Otuto dịrị ONYENWE ANYỊ, Chineke nke Izrel,
site n’ebighị ebi ruo ebighị ebi.
Amen na Amen.

# Nchịkọta Akwụkwọ nke Abụọ

## 42

*Abụ Ọma 42–72*

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ *Maskil* nke ụmụ Kora.

*Iru ụjụ na nkasiobi onye ezi omume*

1 Dịka agụụ ịñụ mmiri si na-agụ nne ele,
otu a ka agụụ ihe banyere gị si na-agụ m, O Chineke.
2 Akpịrị nke ihe banyere Chineke, bụ Chineke ahụ dị ndụ, na-akpọ m nkụ.
Olee mgbe m pụrụ ịga zute Chineke?
3 Anya mmiri m aghọọlara m ihe oriri
n’ehihie ma n’abalị,
mgbe ndị mmadụ na-asị m ogologo ụbọchị niile,
“Olee ebe Chineke gị nọ?”
4 Ihe ndị a ka m na-echeta
mgbe m na-ekwupụta ihe mgbu nke obi m:
ma m cheta mgbe mụ na igwe mmadụ so aga,
mgbe m ji iti mkpu ọñụ na ekele na-edu ha
n’etiti ọha kachasị ibe ya, ndị ọñụ juru obi,

na-aga n’ụlọ Chineke.

5 O mkpụrụobi m, gịnị mere i ji daa mba?
Gịnị mere i ji na-asụ ude n’ime m?
Nwee olileanya na Chineke,
n’ihi na m ka ga-eto ya,
Onye nzọpụta m na Chineke m.

6 Mkpụrụobi m na-ada mba n’ime m;
ya mere, aga m echeta gị
site n’ala Jọdan,
na ebe dị elu nke Hemon,* na sitekwa n’ugwu Miza.
7 Ogbu mmiri na-akpọku ogbu mmiri
mgbe olu ha na-ada ụda n’etiti nruda mmiri gị niile;
ebili mmiri gị niile na mmali mmiri gị niile
ekpuchiela isi m.

8 N’ehihie, ONYENWE ANYỊ na-awụkwasị m ịhụnanya ya,
n’abalị abụ ya dị m n’obi,
ekpere nye Chineke nke ndụ m.

9 Ana m asị Chineke, oke nkume m,
“Gịnị mere i ji chefuo m?
Gịnị mere m ga-eji na-ejegharị n’iru ụjụ
n’ihi mmegbu nke onye iro?”
10 Ọkpụkpụ m na-agabiga oke ihe mgbu,
mgbe ndị iro m ji m na-eme ihe ọchị,
ogologo ụbọchị niile ha na-ajụ m,
“Olee ebe Chineke gị nọ?”

11 O mkpụrụobi m, gịnị mere i ji daa mba?
Gịnị mere i ji na-asụ ude n’ime m?
Nwee olileanya na Chineke,
n’ihi na m ka ga-eto ya ọzọ,
Onye nzọpụta m na Chineke m.

# Abụ Ọma 43

*Arịrịọ maka enyemaka*

1 O Chineke, kpepụta m,
kpechitere m ikpe m
n’ebe mba na-amaghị Chineke nọ;
gbapụta m site n’aka
ndị ajọ omume na ndị aghụghọ.
2 Ị bụ Chineke, ebe m e wusiri ike.
Gịnị mere i ji jụ m?
Gịnị mere m ga-eji na-ejegharị n’iru ụjụ,
n’ihi mmegbu nke onye iro?
3 Zipụ ìhè gị na eziokwu gị,

* **Abụ Ọma 42:6** 42:6 Hemon bụ obodo dị n’oke ala nkwa ahụ n’ebe ugwu.

ka ha duo m;
ka ha kpọbata m n’ugwu nsọ gị,
bụ ebe i bi.
4 Mgbe ahụ, aga m aga n’ebe ịchụ aja Chineke,
gakwuru Chineke, bụ ọṅụ m na obi ụtọ m.
Aga m eji ụbọ akwara too gị,
O Chineke, bụ Chineke m.

5 O mkpụrụobi m, gịnị mere i ji daa mba?
Gịnị mere i ji na-asụ ude n’ime m?
Nwee olileanya na Chineke,
n’ihi na m ka ga-eto ya ọzọ,
onye Nzọpụta m na Chineke m.

# Abụ Ọma 44

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ *maskil* nke ụmụ Kora.

### *Ekpere maka mgbapụta*

1 O Chineke, anyị anụla;
nna anyị ha agwakwala anyị
ihe ndị i mere n’oge ha,
n’oge gara aga.
2 I ji aka gị chụpụ ndị mba ọzọ,
ma kụnye nna nna anyị ha dịka osisi.
I gwepịara ndị ahụ
ma mee ka ndị nna anyị na-eto na-awasa.
3 Ọ bụghị site na mma agha ha ka ha ji merie nweta ala a,
ha emerighị site n’ike nke aka ha;
ọ bụ aka nri gị, aka gị,
na ìhè nke ihu gị nyere ha mmeri, n’ihi na ị hụrụ ha n’anya.

4 Ị bụ eze m na Chineke m,
onye na-ekpebi na Jekọb aghaghị inwe mmeri.
5 N’ihi ọ bụ naanị site n’ike gị, ya na aha gị,
ka anyị ji zọda ndị iro anyị n’okpuru ụkwụ anyị.
6 Atụkwasịghị m obi m n’ụta m,
mma agha m anaghị enye m mmeri;
7 ma i na-enye anyị mmeri n’ebe ndị iro anyị nọ,
ị na-eme ka ihere mee ndị na-eguzogide anyị.
8 N’ime Chineke ka ịnya isi anyị dị ogologo ụbọchị niile,
anyị ga-eto aha gị ruo mgbe ebighị ebi.
Sela

9 Ma ugbu a, ị jụla anyị ma weda anyị n’ala;
ị naghị esokwa ndị agha anyị apụ ọzọ.
10 I mere ka anyị site n’ihu ndị iro anyị gbalaga,
i meela ka ndị na-emegide anyị were aka ike napụ anyị ihe bụ nke anyị.
11 Ị gbakụtara anyị azụ ka e ripịa anyị dịka atụrụ,
ma chụsasịa anyị n’etiti mba niile.
12 I rere ndị gị ọnụ ala,
ihe i retara ha abaghị uru nye gị.

13 I meela ka anyị bụrụ nkọcha nye ndị agbataobi anyị,
anyị bụ ihe ịkwa emo na ihe ọchị nye ndị gbara anyị gburugburu.
14 I meela anyị ka anyị bụrụ ihe ịmaatụ ọchị n’etiti mba niile,
ndị ọbụla hụrụ anyị na-efufe isi na mkparị.
15 Ogologo ụbọchị niile, ihere m dị m n’ihu,
ihere m na-ekpuchikwa m ihu,
16 mgbe ndị nkwulu na ndị nkọcha na-eji m eme ihe ọchị,
n’ihi onye iro, onye kpebiri ịbọ ọbọ.

17 Ọ bụ ezie na ihe ndị a adakwasịla anyị,
ma anyị echefubeghị gị.
Anyị enupubeghị isi n’ọgbụgba ndụ anyị na gị.
18 Obi anyị ahapụbeghị gị!
Anyị ahapụbekwaghị iso ụzọ gị.
19 Ma i gwepịara anyị mee ka anyị bụrụ ebe nkịta ọhịa na-akpagharị,
jirikwa oke ọchịchịrị kpuchie anyị.

20 Ọ bụrụ na anyị chefuru aha Chineke anyị,
maọbụ na anyị gbasaara chi mba ọzọ aka anyị,
21 ọ bụ na Chineke agaraghị achọpụta ya,
ebe ọ maara ihe nzuzo niile dị n’obi?
22 Ọ bụ n’ihi gị ka anyị na ọnwụ ji agba mgba, ogologo ụbọchị niile.
A na-ele anyị anya dịka atụrụ a gaje igbu egbu.

23 O, Onyenwe m teta! Gịnị mere i ji arahụ ụra?
Kpọtee onwe gị! Ajụkwala anyị ruo mgbe ebighị ebi.
24 Gịnị mere i ji ezopụ ihu gị,
ma chefuo mmegbu na ịta ahụhụ anyị?

25 E tidala anyị n’ala, n’uzuzu,
ahụ anyị rapara n’aja
26 Bilie ma nyere anyị aka;
gbapụta anyị maka ịhụnanya gị nke na-adịghị agwụ agwụ.

# Abụ Ọma 45

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. N’usoro olu abụ “Okoko osisi lili.” Abụ maskil ụmụ Kora. Abụ maka agbamakwụkwọ.

*Abụ ọlụlụ nwunye eze*

1 Isi okwu dị ebube na-akpali mkpụrụobi m,
mgbe m na-agụgharị abụ m nye eze;
ire m bụ mkpisi akwụkwọ dị n’aka ọka ode akwụkwọ.

2 I bụ onye kachasị mma n’etiti ụmụ mmadụ,
e ji amara tee egbugbere ọnụ gị mmanụ,
ebe ọ bụ na Chineke agọziela gị ruo mgbe ebighị ebi.

3 Kenye mma agha gị n’ukwu gị, gị onye dị ike;
yikwasị onwe gị ebube na ịma mma dịka uwe.
4 N’ebube gị, gaa n’ihu n’ime mmeri,
n’ihi eziokwu, na ịdị obi umeala, na ezi omume;

ka aka nri gị gosipụta ọrụ gị niile nke na-eju anya.
5 Ka àkụ gị niile dị nkọ mapuo mkpụrụobi ndị iro niile nke eze;
ka mba niile na-adakwa n'okpuru ụkwụ gị.
6 O Chineke, ocheeze gị ga-adịgide ruo mgbe ebighị ebi,
mkpara omume ziri ezi ka mkpara alaeze gị ga-abụ
7 Ị hụrụ ezi omume n'anya, ma kpọọ ihe ọjọọ asị;
ya mere, Chineke, onye bụ Chineke gị, emeela ka ịdị elu karịa ndị ibe gị,
site na ite gị mmanụ nke ọṅụ.
8 Uwe gị niile jupụtara n'isisi ụtọ nke si na mmanụ* máá na aloos na akashia;
ha sitere n'ụlọeze niile, e ji ọdụ enyi chọọ mma.
Egwu sitere n'ụbọ akwara na-eme ka i nwee obi ụtọ.
9 Ụmụ agbọghọ eze nọ n'etiti ndị inyom gị ka a na-asọpụrụ;
nwunye eze, onye yikwasịrị ọlaedo nke Ọfịa na-eguzo n'aka nri gị.

10 Gee ntị, gị nwaagbọghọ, tulee ma nụrụkwa ihe m na-ekwu:
"Chefuo ndị gị na ezinaụlọ nna gị.
11 N'ihi na ịma mma gị ga-eme ka eze chọsie gị ike.
Sọpụrụ ya n'ihi na ọ bụ onyenwe gị."
12 Ada Taịa† ga-eji onyinye bịa;
ndị ọgaranya ga-achọkwa ka i gosi ha ihuọma.
13 Adaeze, lee ka o si maa mma dị ukwuu n'ime ụlọ ya;
ọ bụ akwa a kpanyere ọlaedo ka e ji dụọ uwe mwụda ya.
14 Ụmụ agbọghọ ibe ya, ndị na-amaghị nwoke, na-eso ya bịakwute gị;
ọ bụ uwe mwụda a kpanyere ihe ọkpụkpa ka o yi
mgbe e dubatara ya n'ụlọeze.
15 E ji ọṅụ na obi ụtọ dubata ha;
ha bara n'ime ụlọeze.

16 Ụmụ gị ndị ikom ga-anọchi anya nna nna gị;
ị ga-eme ka ha bụrụ ndịisi n'ala ahụ niile.

17 Aga m eme ka echeta ihe banyere gị ruo ọgbọ niile;
n'ihi nke a, mba niile ga-eto gị ruo mgbe niile ebighị ebi.

# Abụ Ọma 46

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ ụmụ Kora. N'usoro olu abụ alamot. Otu Abụ.

*Chineke bụ ebe mgbaba anyị*

1 Chineke bụ ebe mgbaba anyị, na ike anyị,
onye inyeaka anyị ka ọ bụ n'oge nsogbu.
2 N'ihi ya, anyị agaghị atụ egwu, ọ bụladị mgbe ụwa niile na-emebi,
maọbụ mgbe a na-ewezuga ugwu n'ọnọdụ ha, mee ka ha daba n'oke osimiri.
3 N'agbanyeghị na mmiri ya na-agba aghara, na-asụkwa ụfụfụ,
maọbụ na ugwu niile na-eme mkpọtụ site n'oke mbili elu ha.

Sela

4 Otu iyi dị nke na-asọbata na-eweta ọṅụ n'ime obodo Chineke,

---

* **Abụ Ọma 45:8** 45:8 Nke a bụ mmanụ isi ọma a na-efesa n'uwe. Ọ nọ n'ọnọdụ ihe anyị na-akpọ senti taa. Abk 1:12-13. † **Abụ Ọma 45:12** 45:12 Eze mbụ kwụnyeere ọchịchị alaeze Devid bụ eze obodo Taịa, n'ihi Solomọn na eze Taịa nweere ezigbo mmekọrịta dị mma. Taịa bụ isi obodo ebe niile a na-azụ ahịa n'akụkụ osimiri Mediterenịan.

n’ime ebe obibi dị nsọ nke Onye kachasị ihe niile elu.
5 Chineke bi n’ime ya, ọ gaghị ada;
Chineke ga-enyere ya aka mgbe chi bọrọ.
6 Mba niile na-agba aghara, alaeze niile na-adakwa;
o welitere olu ya elu, ụwa na-agbaze.

7 ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile nọnyere anyị;
Chineke nke Jekọb bụ ebe mgbaba anyị e wusiri ike.
Sela

8 Bịa, hụrụ ihe ebube niile ONYENWE ANYỊ mere,
lee oke ịla n’iyi niile o webatara n’elu ụwa.
9 Ọ na-eme ka agha kwụsị
ruo nsọtụ nke elu ụwa niile.
Ọ na-agbaji ụta, na-ebibi ùbe,
ma na-esu ọta* agha niile ọkụ.
10 Ọ na-asị, “Nọọnụ juu! Maranụ na mụ onwe m bụ Chineke!
A ga-ebuli m elu n’etiti mba niile,
a ga-ebulikwa m elu n’ụwa.”

11 ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile nọnyere anyị;
Chineke nke Jekọb bụ ebe mgbaba anyị e wusiri ike.
Sela

# Abụ Ọma 47

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ ụmụ Kora. Abụ Ọma.

*Chineke bụ eze nke ụwa*

1 Kụọnụ aka unu, unu mba niile;
jiri iti mkpu ọṅụ tikuo Chineke.

2 N’ihi na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke kachasị ihe niile elu.
Ọ dị egwu! Ọ bụ eze ukwu na-achị ụwa niile.
3 O wedara mba niile mee ka ha nọọ n’okpuru anyị;
ndị mmadụ niile nọ n’okpuru ụkwụ anyị.
4 Ọ họpụtaara anyị ihe nketa anyị,
ihe ịnya isi nke Jekọb, onye ọ hụrụ n’anya.
Sela

5 Chineke ewerela iti mkpu ọṅụ rigoro n’eluigwe.
ONYENWE ANYỊ ewerela olu opi ike rigoo.
6 Bụkuonụ Chineke abụ otuto, bụọ abụ otuto;
bụkuonụ eze anyị abụ otuto, bụọ abụ otuto.*
7 N’ihi na Chineke anyị bụ eze ụwa niile.
Jirinụ abụ too ya.

8 Chineke bụ eze mba niile;
ọ na-anọkwasị n’ocheeze ya dị nsọ na-achị mba niile.
9 Ndị niile a ma ama na mba niile ezukọtaala,

---

* **Abụ Ọma 46:9** 46:9 Maọbụ, ụgbọ agha * **Abụ Ọma 47:6** 47:6 Ngwa egwu eji mpi anụmanụ mee, a na-akpọ Shọfa, ka eji abụ abụ. Ọ bụkwa ya ka a eji akpọsa afọ ọhụrụ nye ndị mmadụ.

dịka ndị Chineke nke Ebraham,
n’ihi na ndị eze† niile dị n’ụwa bụ nke Chineke;
ọ bụ onye e buliri elu n’ebe ọ dị ukwuu.

# Abụ Ọma 48

Otu Abụ. Abụ Ọma nke ụmụ Kora.

*Abụ nke Zayọn*

1 ONYENWE ANYỊ dị ukwuu, bụrụkwa onye kwesiri ịnata otuto,
n’ime obodo Chineke anyị, n’ugwu nsọ ya.

2 Ọ mara mma n’ịdị elu ya,
bụkwa ọṅụ elu ụwa niile.
Ugwu Zayọn, obodo eze ahụ dị ukwuu,
dịka ebe kachasị elu nke Zafọn.
3 Chineke nọ n’ime ebe ya e wusiri ike;
o gosila onwe ya dịka ebe mgbaba ha e wusiri ike.

4 Mgbe ndị eze jikọtara ndị agha ha ọnụ,
mgbe ha bịakọtara nso,
5 ihe ha hụrụ juru ha anya;
n’ihi oke egwu, ha gbara ọsọ.
6 Ahụ ọma jijiji bidoro ha n’ebe ahụ,
ihe mgbu ha dịka nke nwanyị na-achọ ịmụ nwa.
7 Ị lara ha n’iyi dịka oke ifufe si n’ọwụwa anyanwụ
si ala ụgbọ mmiri ukwuu nke Tashish n’iyi.

8 Dịka anyị nụrụ,
otu a ka anyị hụrụ,
n’ime obodo ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
n’ime obodo Chineke anyị:
Chineke na-eme ka o guzosie ike
ruo mgbe ebighị ebi.

Sela

9 O Chineke, n’ime ụlọnsọ ukwuu gị,
ka anyị nọ na-atụgharị uche n’ịhụnanya gị nke na-enweghị ọgwụgwụ.
10 O Chineke, dịka aha gị,
otuto gị na-eru na nsọtụ ụwa niile;
aka nri gị jupụtara n’ezi omume.
11 Ugwu Zayọn na-aṅụrị ọṅụ,
obodo nta niile nke Juda nwere obi ụtọ
n’ihi ikpe gị niile.

12 Gaanụ Zayọn gburugburu, Jegharịa ya gburugburu,
gụọkwanụ ụlọ elu ya niile ọnụ.
13 Lezienụ mgbidi ya niile anya,
nyochakwaanụ ebe ya niile e wusiri ike,
ka unu nwee ike ịkọrọ
ọgbọ na-abịa n’ihu akụkọ ndị a.

† **Abụ Ọma 47:9** 47:9 Maọbụ, ọta

14 N’ihi na Chineke a, bụ Chineke anyị ruo mgbe niile ebighị ebi,
ọ ga-abụ onyendu anyị, ọ bụladị ruo n’ọgwụgwụ.

# Abụ Ọma 49

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Abụ ụmụ Kora. Abụ Ọma.

*Nzuzu ndị na-atụkwasị obi n’akụnụba*

1 Nụrụnụ nke a, unu mmadụ niile!
Geenụ ntị, unu ndị niile bi n’ụwa,
2 ma ndị dị ala ma ndị dị elu,*
ma onye ọgaranya ma onye ogbenye.
3 Aga m ekwu okwu amamihe,
ihe sị n’obi m ga-enye nghọta.
4 Aga m aṅa ntị nye ilu,
aga m e ji ụbọ akwara kọwaa ilu m.

5 N’ihi gịnị ka m ga-eji tụọ egwu mgbe ụbọchị ọjọọ bịara,
mgbe ndị aghụghọ ọjọọ gbara m gburugburu,
6 ndị na-atụkwasị obi n’akụnụba ha
ma na-anyakwa isi n’ihi oke ụba ha.
7 O nweghị onye pụrụ ịgbapụta ndụ onye ọzọ,
maọbụ nye Chineke ụgwọ e ji agbara onye ahụ,
8 n’ihi na ụgwọ e ji agbara ndụ dị oke ọnụ,
o nweghị ụgwọ a ga-akwụ nke ga-ezu,†
9 nke ga-eme ka mmadụ dịrị ndụ ruo ebighị ebi,
ma hapụ ịnwụ.
10 N’ihi na mmadụ niile na-ahụ na ndị amamihe na-anwụ,
ndị nzuzu na ndị na-enweghị uche na-anwụkwa,
si otu a hapụrụ ndị ọzọ akụnụba ha.
11 Ili ha na-aghọ ụlọ ha ruo ebighị ebi,
ebe obibi ha ruo ọgbọ niile
n’agbanyeghị na ha gụrụ ọtụtụ ala aha ha.

12 Ma mmadụ, n’agbanyeghị akụnụba ya, aghaghị ịnwụ,
dịka anụ ọhịa, ọ ga-anwụkwa.

13 Nke a bụ ihe na-adakwasị ndị na-atụkwasị obi n’onwe ha,
na ndị na-eso ụzọ ha, ndị na-akwado okwu ha.
Sela
14 Dịka atụrụ, ọ bụ ala mmụọ ka a kwadooro ha,
ọnwụ ga-abụ onye na-azụ ha dịka atụrụ,
ma ndị na-eme ihe ziri ezi ga-emeri ha n’ụtụtụ.
Ozu ha ga-erekasị n’ime ili
n’ebe dị anya site n’ụlọeze ha.
15 Ma Chineke ga-agbapụta ndụ m site n’ili,‡
n’ezie, ọ ga-akpọrọ m nye onwe ya.
Sela
16 Amala jijiji mgbe mmadụ na-aba oke ụba,
mgbe ịdị ebube nke ụlọ ya na-amụba,

* **Abụ Ọma 49:2** 49:2 E nwekwara ike gụọ ya otu a, ma ụmụ mmadụ ma ụmụ nwoke. † **Abụ Ọma 49:8** 49:8 Mat 16:26 ‡ **Abụ Ọma 49:15** 49:15 Hos 13:4; Mak 16:6-7

17 n’ihi na ọ ga-agba aka laa ma ọ nwụọ,
ịdị ebube ya agaghị eso ya banye n’ili.
18 N’agbanyeghị na ọ gụrụ onwe ya dịka onye a gọziri agọzi mgbe ọ dị ndụ,
ọ bụ ezie na ndị mmadụ na-eto gị mgbe ị na-enwe ọganihu,
19 ọ ga-eso ọgbọ ndị nna nna ya
ndị na-agaghị ahụkwa ìhè ọzọ.

20 Ndị bara ụba nke na-enweghị nghọta
dịka anụ ọhịa nke ga-ala n’iyi.

# Abụ Ọma 50

Abụ Ọma Asaf.

*Ofufe zuruoke*

1 ONYENWE ANYỊ, Chineke, Onye kachasị chi niile,
ekwuola okwu ma kpọkọta ụwa niile,
site na ọwụwa anyanwụ ruo na ọdịda ya.
2 Chineke na-enwupụta dịka ìhè, site na Zayọn,
nke zuruoke n’ime ịma mma.
3 Chineke anyị na-abịa,
ọ gaghị emechikwa ọnụ;
ọkụ na-erepịa erepịa dị n’ihu ya,
oke ifufe na-efesi ike gbakwara ya gburugburu.
4 Ọ na-akpọku eluigwe
na ụwa ka o kpee ndị ya ikpe: Ọ na-asị,
5 “Chikọtaranụ m ndị m e doro nsọ,
bụ ndị mụ na ha ji ịchụ aja gbaa ndụ.”
6 Eluigwe na-ekwupụta ezi omume ya,
n’ihi na Chineke n’onwe ya bụ onye ikpe.
Sela

7 “Nụrụnụ, ndị m, m ga-ekwukwa,
Izrel, aga m agba ama megide unu,
Abụ m Chineke, Chineke unu.
8 Anaghị m abara unu mba n’ihi ịchụ aja unu,
na aja nsure ọkụ unu nke na-adị m n’ihu oge niile.
9 Enweghị m mkpa maka oke ehi unu site n’ụlọ anụmanụ unu
maọbụ mkpi site n’ọgba igwe ewu na atụrụ unu,
10 n’ihi na ụmụ anụmanụ niile nke oke ọhịa bụ nke m,
ha na ehi niile nọ n’elu otu puku ugwu.
11 Amaara m ụmụ nnụnụ niile nọ n’elu ugwu niile,
ihe niile e kere eke nọ n’ọhịa bụ nke m.
12 Ọ bụrụ na agụụ agụọ m, agaghị m agwa gị ya,
n’ihi na ụwa na ihe niile dị n’ime ya bụ nke m.
13 Ana m ata anụ oke ehi,
ka ọ bụ ọbara mkpi ka m ga-aṅụ?

14 “Chụọrọ Chineke aja ekele,
mezuo nkwa i kwere Onye kachasị ihe niile elu,
15 ma kpọkuo m n’ụbọchị nsogbu gị,
aga m agbapụta unu, unu ga-enyekwa m nsọpụrụ.”

16 Ma Chineke na-agwa ndị na-eme ihe ọjọọ okwu sị,
“Olee, nkwuwa okwu unu nwere ịgụgharị iwu m,
maọbụ kwupụta ọgbụgba ndụ m n’ọnụ unu?
17 Unu kpọrọ ndụmọdụ m asị,
na-atụfekwa okwu m n’azụ unu.
18 Mgbe unu hụrụ onye ohi, unu na ya na-ejikọta aka;
unu na ndị na-akwa iko na-ekekọkwa oke.
19 Ọnụ unu na-eme ọsịịsọ ikwu okwu ọjọọ,
okwu aghụghọ na nke rere ure na-esikwa n’ọnụ unu na-asọpụta dịka iyi.
20 Unu na-ekwugide ụmụnna unu mgbe niile,
na-ekwutọkwa nwanne unu nwoke.
21 Ihe ndị a ka unu mere ma agbachiri m nkịtị;
unu chekwara na adị m ka unu.
Ma aga m abara unu mba
ma bokwaa unu ebubo unu n’ihu unu.

22 “Tụgharịa uche na nke a, unu ndị na-echefu Chineke,
ma ọ bụghị ya, aga m adọrisi unu, ọ dịkwaghị onye ga-agbapụta unu.
23 Onye na-eji ekele achụrụ m aja, na-asọpụrụ m,
ọ bụkwa onye na-edozi ụzọ ya, ka m ga-eme ka ọ hụ nzọpụta Chineke.”

# Abụ Ọma 51

Abụ dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid. Mgbe Netan bụ onye amụma bịakwutere Devid n’oge ya na Batsheba kwara iko.

*Ekpere maka mgbaghara mmehie*

1 O Chineke, meere m ebere,
n’ihi ịhụnanya gị nke na-adịgide adịgide;
n’ihi oke ọmịiko gị,
hichapụ njehie m niile.
2 Sachapụ mmehie m niile,*
ma mee m ka m dị ọcha.

3 N’ihi na amaara m njehie m niile,
mmehie m dịkwa n’ihu m mgbe niile.
4 Ọ bụkwa naanị gị ka m mehiere megide,
mee ihe ahụ bụ ihe ọjọọ n’ihu gị,
nke mere na ị bụ onye na-ekpe ikpe ziri ezi mgbe ị na-ekwu okwu,
na onye ezi omume mgbe ị na-ekpe ikpe.
5 N’ezie, onye mmehie ka m bụ site n’oge amụrụ m;
bụrụkwa onye mmehie site n’oge nne m tụrụ ime m.
6 N’ezie, ị na-achọ eziokwu n’akụkụ niile zoro ezo;
ị na-akụziri m amamihe n’akụkụ niile zoro ezo.

7 Were hisọp† sachaa m, aga m adị ọcha;
sachaa m ka m dị ọcha karịa snoo.
8 Mee ka m nụrụ olu obi ụtọ na ọṅụ;
ka okpukpu ndị i gwepịara ṅụrịkwaa.
9 Zopu ihu gị n’ebe mmehie m niile dị,

* **Abụ Ọma 51:2** 51:2 Aịz 43:25; Aịz 44:22; Kọl 2:14. † **Abụ Ọma 51:7** 51:7 N’oge mmemme idebe ihe ọcha, ọ bụ ahịhịa hisọp ka a na-eji efesa ọbara.

hichapụkwa mmehie m niile.

10 Kee obi dị ọcha n’ime m, O Chineke,
nwogharịa ezi mmụọ n’ime m.
11 Achụpụla m n’ihu gị,
anapụkwala m Mmụọ Nsọ gị.
12 Nyeghachikwa m ọṅụ nke nzọpụta gị,
ma jiri ezi mmụọ kwagide m.

13 Mgbe ahụ, aga m enwe ike izi ndị njehie ụzọ gị,
ndị mmehie ga-echegharị lọghachikwute gị.
14 O Chineke, zọpụta m site n’ikpe ọmụma nke mwụfu ọbara,
Chineke, gị bụ Chineke Onye nzọpụta m,
ire m ga-abụ abụ banyere ezi omume gị.
15 O, Onyenwe m, meghee ọnụ m,
ka m kwupụta otuto gị.
16 Ị naghị enwe mmasị n’aja, ma ọ bụghị ya, agaara m eweta ya.
Ị naghị enwe mmasị n’aja nsure ọkụ.
17 Aja Chineke chọrọ bụ mmụọ tiwara etiwa,
O Chineke, ị naghị elefu anya,
n’obi tiwara etiwa na nke nwere ezi nchegharị.

18 Ka ọ masị gị inye Zayọn ọganihu;
i wulie mgbidi niile nke Jerusalem.
19 Mgbe ahụ, a ga-enwe ezi aja,
aja nsure ọkụ nke ga-atọ gị ụtọ;
mgbe ahụ, a ga-achụkwa aja ọtụtụ oke ehi n’elu ebe ịchụ aja gị.

# Abụ Ọma 52

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ maskil Devid. Nke o bụrụ mgbe Doeg onye Edọm gara gwa Sọl sị, “Devid gara hụ Ahimelek n’ụlọ ya.”

*Ihe na-eche ndị ajọ omume*

1 Gịnị mere i ji na-anya isi n’ihe ọjọọ, gị nwoke dị ike?
Gịnị mere na ogologo ụbọchị niile, ị na-anya isi,
gị onye Chineke na-eleda anya?
2 Ire gị na-atụ atụmatụ ịla n’iyi;
ọ dị ka agụba dị nkọ,
gị onye na-ebi ndụ aghụghọ.
3 Ị hụrụ ihe ọjọọ n’anya karịa ihe ọma,
ị hụrụ okwu ụgha n’anya karịa eziokwu.
Sela
4 O onye ire aghụghọ!
Ị hụrụ okwu ọbụla nke na-emegide mmadụ n’anya.

5 N’ezie, Chineke ga-akwatu gị ruo mgbe ebighị ebi.
Ọ ga-ejide gị, dọpụta gị site n’ụlọ ikwu gị,*
ọ ga-ehopukwa gị site n’ala ndị dị ndụ.
Sela
6 Ndị ezi omume ga-ahụ ya tụkwaa egwu;

* **Abụ Ọma 52:5** 52:5 Ya bụ, ebe obibi ya

ha ga-achị ya ọchị na-asị,
7 "Ugbu a, lee nwoke ahụ,
onye jụrụ ime Chineke ebe mgbaba ya.
Ọ tụkwasịrị obi ya na akụnụba ya nke dị ukwuu.
O sitekwara na ibibi ndị ọzọ ghọọ onye dị ike!"

8 Ma adị m ka osisi oliv,
nke na-eto na-awasa n'ụlọnsọ ukwu Chineke.
Ana m atụkwasị obi m n'ịhụnanya Chineke,
nke na-adịgide ruo mgbe niile ebighị ebi.
9 Aga m eto gị ruo mgbe niile ebighị ebi n'ihi ihe i mere;
aga m eto gị n'ihu ndị gị dị nsọ.
Olileanya m ga-adị n'ime aha gị,
n'ihi na aha gị dị mma.

# Abụ Ọma 53

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. N'usoro Mahalat. Abụ *maskil* Devid.

*Nzuzu nke ndị na-emebi iwu*

1 Onye nzuzu na-asị n'ime obi ya,
"Ọ dighị Chineke ọbụla dị."
Ha bụ ndị ajọ omume riri ahụ, ụzọ ha niile bụkwa ihe arụ;
ọ dighị onye ọbụla na-eme ezi ihe.

2 Chineke sitere n'eluigwe
na-ele ụmụ mmadụ anya,
ịhụ ma ọ ga-achọta onye ọbụla nwere nghọta,
onye nke na-achọ Chineke.
3 Onye ọbụla, n'otu n'otu ewezugala onwe ha, ha niile abụrụla ndị ajọ omume riri ahụ;
ọ dighị onye ọbụla na-eme ihe ziri ezi,
ọ dighị ọ bụladị otu onye.

4 Ndị niile na-eme ajọ ihe, ha amaghị ihe?

Ha na-eripịa ndị m dịka mmadụ si eri nri,
ha adịghị akpọkukwa Chineke.
5 Ma n'ebe ahụ ka ha nọ, n'ọnọdụ oke egwu,
ebe ọ dighị ihe egwu na-adịghị.
Chineke fesasịrị ọkpụkpụ ndị niile megidere gị;
i mere ka ihere mee ha, n'ihi na Chineke ajụla ha.

6 O, a sịkwarị na nzọpụta Izrel ga-esi na Zayọn pụta!
Mgbe Chineke ga-akpọghachite ndị ya n'ọnọdụ ha,
ka Jekọb ṅụrịa ọṅụ, ka Izrel nwekwaa obi ụtọ!

# Abụ Ọma 54

Abụ Ọma Devid. Abụ eji ụbọ akwara akpọ. Abụ *maskil* Devid. Mgbe ndị Zif gara sị Sọl, "Devid ọ dighị ezo n'etiti anyị?"

*Ekpere maka nchebe*

1 O Chineke, jiri aha gị zọpụta m;
jirikwa ike gị kpepụta m.
2 O Chineke, nụrụ ekpere m;
gee ntị n’okwu ọnụ m.

3 Ndị m na-amaghị na-ebuso m agha;
ndị na-eme ihe ike na-achọ ịnapụ m ndụ m,
ndị na-akpọghị Chineke ihe ọbụla.
Sela

4 N’ezie, Chineke bụ onye inyeaka m;
onyenwe m bụ onye na-agba m ume.

5 Mee ka ihe ọjọọ lọghachikwute ndị na-ekwulu m;
n’ime ikwesi ntụkwasị obi gị, laa ha n’iyi.

6 Aga m eji onyinye afọ ofufu chụọrọ gị aja;
O ONYENWE ANYỊ, aga m eto aha gị, n’ihi na ọ dị mma.
7 N’ihi na ọ gbapụtala m site na nsogbu m niile,
ọ bụ anya mmeri ka m ji na-ele ndị iro m anya.

# Abụ Ọma 55

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ eji ụbọ akwara akpọ. Abụ *maskil* Devid.

*Ekpere nke onye enyi ya ghọrọ ya aghụghọ*

1 O Chineke, nụrụ ekpere m,
agbakwala arịrịọ m nkịtị;
2 ṅaa m ntị, zaakwa m.
Echiche m na-esogbu m; ana m asụkwa oke ude
3 n’ihi ihe onye iro m na-ekwu,
n’ihi ịba mba nke ndị ajọ mmadụ,
n’ihi na ha na-ewetara m ntaramahụhụ,
na-akpagbu m n’iwe ha.

4 Obi m nọ n’ọnọdụ oke ihe mgbu n’ime m;
oke ụjọ nke ọnwụ abịakwasịla m.
5 Ịtụ egwu na ahụ ịma jijiji abịakwasịkwala m;
oke egwu ekpuchiela m.
6 Agwara m onwe m okwu sị, “A sịkwarị na m nwere nku dịka nduru!
Agaara m efelaga ebe ọzọ gaa zuru ike.
7 Agaara m efelaga ebe dị anya,
ga nọrọ n’ọzara;
Sela

8 Agaara m eme ngwangwa gaa n’ebe mgbaba m,
ebe dị anya site n’ebe ifufe siri ike na oke ifufe dị.”

9 O Onyenwe anyị, gbagwojuo ndị ajọ omume anya, mee ka ha ghara ịghọta ihe ibe ha na-ekwu,
n’ihi na ana m ahụ ihe ike na ịlụ ọgụ n’ime obodo.
10 Ehihie na abalị, ha na-ejegharị n’elu mgbidi ya;
iro na mmegbu dị n’ime ya.

11 A na-ahụta akaọrụ ihe ịla n’iyi n’ime obodo;
ihe ike na ụgha ewerela ọnọdụ ha n’ime obodo.

12 A sị na ọ bụ onye iro ji m eme ihe ọchị,
apụrụ m ịnagide ya;
a sịkwa na ọ bụ onye iro na-eweli onwe ya megide m,
apụrụ m izonarị onwe m site n’ebe ọ nọ.
13 Maọbụ gị, nwoke dịka m,
onye mụ na ya dị na mma, enyi m ọma,
14 onye mụ na ya na-enwe mmekọrịta dị ụtọ na mbụ,
n’ụlọ Chineke,
ka anyị na-ejegharị
n’etiti ọha mmadụ bịara ife ofufe.

15 Ka ọnwụ bịakwasị ndị iro m na mberede;
ka ha rịdaa ala mmụọ na ndụ,
n’ihi na ihe ọjọọ na-achọta ebe ọnọdụ n’etiti ha.

16 Ma akpọkuru m Chineke,
ONYENWE ANYỊ na-azọpụtakwa m.
17 N’ụtụtụ, ma n’ehihie, ma n’abalị,
ka m sitere n’oke ihe mgbu, na-akpọku ya
ma ọ na-anụkwa olu m.
18 Ọ na-agbapụta m, mee ka m ghara imerụ ahụ,
site n’agha niile e busoro m,
n’agbanyeghị n’ọtụtụ biliri megide m.
19 Chineke, onye nọkwasịrị n’ocheeze ya ruo mgbe ebighị ebi,
onye na-adịghị agbanwe,
ga-anụ olu ha, taakwa ha ahụhụ,
n’ihi na ha adịghị atụ egwu Chineke.

Sela

20 Onye mụ na ya dị na mma na-emegide ndị enyi ya,
ọ na-emerụ ọgbụgba ndụ ya ka ọ ghara ịdị nsọ.
21 Okwu ọnụ ya dị mụrụmụrụ* ka bọta,
ma ibu agha juru ya obi;
okwu ya niile dị nro karịa mmanụ,
ma ha bụ mma agha e welitere maka ibu agha.

22 Tụkwasị ONYENWE ANYỊ mkpa gị niile,
ọ ga-agba gị ume;
ọ gaghị ekwe
ka ewezuga onye ezi omume.
23 Ma gị, O Chineke, ga-adọtu ndị ajọ omume
n’ime olulu nke jupụtara n’ire ure;
ndị ogbu mmadụ na ndị aghụghọ
agaghị ebi ọ bụladị ọkara ndụ ha.

Ma mụ onwe m, ọ bụ na gị ka m na-atụkwasị obi m.

* **Abụ Ọma 55:21** 55:21 Ya bụ, okwu ire ụtọ

# Abụ Ọma 56

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Ọ bụ olu abụ "Nduru nọ n'osisi Ook dị ebe dị anya." Abụ nke Devid ka eji agụ ya. Abụ miktam. Mgbe ndị Filistia nọchibidoro ya n'obodo Gat.

*Ekpere maka mgbapụta*

1 O Chineke, meere m ebere,
n'ihi na ndị mmadụ ji ike na-achụso m;
ogologo ụbọchị niile, ha na-ebu agha imegide m.
2 Ogologo ụbọchị niile ndị iro m na-achụso m;
site na nganga ha, ọtụtụ na-ebu agha megide m.

3 Ma mgbe ụjọ na-atụ m, ọ bụ na gị ka m na-atụkwasị obi m.
4 N'ime Chineke onye m na-eto okwu ya,
n'ime Chineke ka m na-atụkwasị obi; ụjọ agaghị atụ m.
Gịnị ka mmadụ efu pụrụ ime m?

5 Ogologo ụbọchị niile, ha na-asụgharị okwu m kwuru isi;
oge niile ka ha na-atụ atụmatụ imerụ m ahụ.
6 Ha na-agba izu nzuzo na-ezokwa onwe ha,
ha na-enyochapụta nzọ ụkwụ m niile,
dịkwa njikere ịnapụ m ndụ m.
7 N'ihi ajọ omume ha, ekwekwala ka ha gbapụ;
o Chineke, n'ime iwe gị, wedaa mba ndị a niile dị iche iche n'ala.

8 Depụta akwa arịrị m;
chekọtasịa anya mmiri akwa m niile n'ime karama gị.
Ọ bụ na ha adịghị n'akwụkwọ ndepụta gị?
9 Mgbe m ga-akpọku gị maka enyemaka,
ndị iro m ga-agbaghachi azụ.
Site n'ụzọ dị otu a, aga m amara na Chineke nọnyeere m.

10 N'ime Chineke, onye m na-eto okwu ya,
n'ime ONYENWE ANYị, onye m na-eto okwu ya,
11 n'ime Chineke ka m na-atụkwasị obi; ụjọ agaghị atụ m.
Gịnị ka mmadụ pụrụ ime m?

12 O Chineke m, n'isi m ka nkwa niile m kwere gị dị;
aga m ewetara gị onyinye ekele m niile.
13 N'ihi na ị zọpụtala m site n'ọnwụ,
ma napụta ụkwụ m site n'ịsọ ngọngọ,
ka m nwee ike jegharịa n'ihu Chineke,
n'ìhè nke ndụ.

# Abụ Ọma 57

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Nke olu abụ "E bibikwala" Devid. Abụ miktam. Mgbe ọ gbapụrụ ga biri n'ime ọgba nkume n'ihi Sọl.

*Ntụkwasị obi n'ime Chineke*

1 Meere m ebere, O Chineke, meere m ebere,
n'ihi na ọ bụ gị ka mkpụrụobi m ji mere ebe mgbaba.
Ọ bụ na ndo nke nku gị abụọ ka m ga-agbaba

tutuu ihe mbibi ndị a agafesịa.

2 Aga m akpọku Chineke nke kachasị ihe niile elu,
Chineke na-emezuru m ihe niile na-akpa m mkpa.
3 Ọ na-esite n’eluigwe zidata inyeaka ma zọpụta m
na-abara ndị ahụ ji ike na-achụ m mba;
Sela
Chineke na-ezite ịhụnanya ya na ikwesi ntụkwasị obi ya.

4 Anọ m n’etiti ọtụtụ ọdụm;
amanyere m ka m dina n’etiti ajọ anụ ọhịa,
ụmụ mmadụ ndị eze ha dị nkọ dịka àkụ na ùbe,
ire ha dịkwa nkọ dịka mma agha.

5 O Chineke, ka e bulie gị elu karịa eluigwe niile;
ka ebube gị dị n’elu ụwa niile.

6 Ha gbasaara ụkwụ m ụgbụ,
ihe mgbu nyịturu m.
Ha egwuola olulu n’ụzọ m si agafe,
ma ha onwe ha adabala n’ime ya.
Sela

7 Obi m dị njikere, o Chineke,
obi m dị njikere sikwaa ike;
aga m abụ abụ, kụkwaa egwu.
8 Teta n’ụra mkpụrụobi m!
Teta, ụbọ akwara na une!
Aga m akpọte chi ọbụbọ.

9 O Onyenwe anyị, aga m eto gị n’etiti mba niile;
aga m abụ abụ banyere gị n’etiti ndị niile dị iche iche.
10 N’ihi na ịhụnanya gị dị ukwuu na-eru na mbara eluigwe;
ikwesi ntụkwasị obi gị na-erukwa mbara eluigwe.

11 O Chineke, ka e bulie gị elu karịa eluigwe;
ka ebube gị dị n’elu ụwa niile.

# Abụ Ọma 58

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Nke olu abụ “E bibikwala.” Abụ Devid. Abụ miktam.

*Ahụhụ nke ndị na-emebi iwu*

1 Unu ndị na-achị achị, O nweela oge unu na-ekwu ihe ziri ezi?
O nweela oge unu na-ekpe ikpe ziri ezi n’etiti mmadụ?
2 Mba, n’ime obi unu, unu na-echepụta mmegbu,
aka unu na-emepụta ihe ike n’elu ụwa.

3 Ọ bụladị site n’ọmụmụ, ndị ajọ omume na-akpafu;
site n’ime afọ, ha na-akpafu akpafu na-ekwusa okwu ụgha.
4 Ha na-agbọpụta nsi n’ọnụ ha dịka agwọ,
na-emechi ntị ha dịka ajụala ntị chiri,

5 nke na-adịghị anụ olu onye mgbaasị na-akpọpụta ya,
n'agbanyeghị otu ǹka onye ahụ si dị.

6 O Chineke, tijie eze niile dị ha n'ọnụ;
o ONYENWE ANYỊ, dọpụta eze ọdụm ndị a!
7 Mee ka ha sọfuo dịka mmiri na-asọ asọ;
mgbe ha na-eseti ụta ha, mee ka ọnụ àkụ ha gbajie.
8 Dịka ejula nke na-agbaze mgbe ọ na-aga n'ụzọ ya;
dịka nwa nwụrụ n'afọ nne ya, ka ha ghara ịhụ anyanwụ.

9 Tupu ite unu amata okpomọkụ nke osisi ogwu,
ma ha dị ndụ, ma ha kpọnwụrụ akpọnwụ, a ga-azachapụ ndị ajọ omume.
10 Ndị ezi omume ga-enwe obi ụtọ mgbe a bọọrọ ha ọbọ,
mgbe ha ga-asacha ụkwụ ha n'ime ọbara ndị ajọ omume.
11 Mgbe ahụ, ndị mmadụ ga-ekwu sị,
"N'ezie, a na-akwụghachi ndị ezi omume ụgwọ;
n'ezie, e nwere Chineke onye na-ekpe ụwa ikpe."

# Abụ Ọma 59

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ Devid. Abụ miktam nke eji olu abụ "E bibikwala," abụ. Mgbe Sọl zipụrụ ndị ikom ka e chee ụlọ Devid nche n'ihi igbu ya.

*Ekpere maka nnapụta*

1 O Chineke, site n'aka ndị iro m gbapụta m,
chebe m site n'aka ndị na-ebili imegide m.
2 Gbapụta m site n'aka ndị na-eme ajọ ihe,
zọpụtakwa m site n'aka ndị ogbu mmadụ.

3 Lee ka ha siri zoo onwe ha n'ihi ịnapụ m ndụ!
Ndị na-eme ihe ike na-agba izu megide m,
o ONYENWE ANYỊ, ma ọ bụghị n'ihi ihe m mere maọbụ mmehie m.
4 Mgbe ọ na-adịghị ihe ọjọọ m mere, ma lee ha dị njikere imegide m.
Bilie, bịa nyere m aka; lee ihe ọjọọ dakwasịrị m!
5 Gị, ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile,
gị onye bụ Chineke nke Izrel,
kpọtee onwe gị ịta mba niile dị iche iche ahụhụ;
e gosikwala ndị na-ezube nzube ọjọọ obi ebere.
Sela

6 N'anyasị, ha na-alaghachi,
na-eme mkpọtụ dịka ụmụ nkịta
mgbe ha na-akpagharị n'ime obodo.
7 Lee ihe ha si n'ọnụ ha na-aghụpụta,
okwu si n'ọnụ ha na-agbụpụta dị nkọ dịka mma agha,
ha na-asịkwa, "Onye pụrụ ịnụ ihe anyị na-ekwu?"
8 Ma gị ONYENWE ANYỊ, na-achị ha ọchị;
ị na-akwa mba ndị a niile emo.

9 O, gị onye bụ ike m, ana m ele anya gị;
gị, o Chineke, bụ ebe mgbaba m e wusiri ike.
10 Chineke m, onye m tụkwasịrị obi.

Chineke ga-ebutere m ụzọ
mekwaa ka m chịa ndị niile na-ekwulu m ọchị.
11 O Onyenwe anyị na ọta anyị, egbukwala ha,
ma ọ bụghị ya, ndị m ga-echefu.
Were ike gị mee ka ha waghariạ,*
wedakwaa ha n'ala.
12 Ka e jide ha n'ime nganga ha,
n'ihi mmehie si ha n'ọnụ na-apụta,
na n'ihi okwu ọnụ ha.
N'ihi okwu ọbụbụ ọnụ ha na okwu ụgha ha,
13 jiri iwe ọkụ repịa ha,
repịa ha ruo mgbe ha ga-aghọ ntụ.
Mgbe ahụ, a ga-amata ruo na nsọtụ nke ụwa,
na Chineke na-achị Jekọb.

14 N'anyasị ha na-alaghachi;
na-eme mkpọtụ dịka ụmụ nkịta,
mgbe ha na-akpagharị n'ime obodo.
15 Ha na-awagharị na-achọ nri,
na-etikwa mkpu ma ọ bụrụ na afọ ejughị ha.
16 Ma aga m abụ abụ banyere ike gị,
n'ụtụtụ aga m abụ abụ banyere ịhụnanya gị;
ị bụ ebe mgbaba m e wusiri ike,
ebe mgbaba m n'oge nsogbu.

17 O, gị onye bụ ike m, ana m abụku gị abụ otuto;
gị, o Chineke, bụ ebe mgbaba m e wusiri ike,
Chineke m, onye m na-adabere.

# Abụ Ọma 60

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi Abụ. Ọ bụ olu abụ eji ekwe "Okoko lili nke Ọgbụgba Ndụ." Abụ miktam nke Devid maka izi ihe. Mgbe ọ lụsoro Aram Naharaim na Aram Zoba ọgụ, nakwa mgbe Joab lọghachitara, tigbuo narị ndị Edọm iri n'abụọ na Ndagwurugwu Nnu.

*Ekpere maka nnapụta*

1 O Chineke, ị jụla anyị, ị tịwawo anyị n'ike;
i wesola anyị iwe, ugbu a, kpọghachi anyị.
2 I meela ka ala a maa jijiji, ị dọwakwala ya;
mezie ntiwa ya niile, n'ihi na ọ na-ama jijiji.
3 I meela ka ndị gị gabiga ọnọdụ ihe isi ike;
i nyela anyị mmanya nke mere ka anyị na-adagharị.
4 Ma nye ndị na-atụ egwu gị, i weliela otu ọkọlọtọ
nke a ga-agbasa n'ihi eziokwu imegide ụta nke ndị iro.
Sela

5 Were aka nri gị zọpụta anyị ma nyere anyị aka,
ka a gbapụta ndị ị hụrụ n'anya.
6 Chineke esitela n'ịdị nsọ ya kwuo, sị,

* **Abụ Ọma 59:11** 59:11 Were ike gị hopu ha

“N’ọnọdụ ọṅụ nke mmeri, aga m ekesa Shekem,*
tụkwaa Ndagwurugwu Sukọt n’ihe ọtụtụ nyepụ ya.
7 Gilead bụ nke m,† otu a kwa, Manase bụkwa nke m;‡
Ifrem bụ okpu igwe m,
Juda bụ mkpara eze m.
8 Moab bụ efere ịkwọ aka m,
aga m atụsa akpụkpọụkwụ m n’elu Edọm;
n’elu isi Filistia, ana m eti mkpu mmeri.”

9 Onye ga-akpọrọ m gaa n’obodo e wusiri ike?
Onye ga-edu m gaa Edọm?
10 Ọ bụghị gị, O Chineke? Gị onye jụrụ anyị,
onye na-adịghị esokwa ndị agha anyị aga agha?
11 Nyere anyị aka ka anyị pụọ n’aka ndị iro,
n’ihi na inyeaka mmadụ bụ ihe efu.
12 Site na Chineke, anyị ga-enwe mmeri,
ọ ga-azọpịa ndị iro anyị niile n’ala.

# Abụ Ọma 61

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Abụ ọma Devid nke eji ụbọ akwara akpọ.

*Ekpere nke onye nọ na nsogbu*

1 Nụrụ akwa m, O Chineke,
gee ntị n’ekpere m.

2 Ana m akpọku gị site na nsọtụ nke ụwa,
ana m akpọku gị mgbe obi m na-ada mba;
duru m gaa n’oke nkume ahụ nke karịrị m elu.
3 N’ihi na ị bụrịị ebe mgbaba m,
na ụlọ ahụ dịkarịrị elu, sie ike imegide onye iro ahụ.*

4 Ọ na-agụ m ibi n’ụlọ ikwu gị ruo mgbe ebighị ebi,
ka m gbaba, zere ndụ n’okpuru nku gị abụọ.
Sela
5 N’ihi na gị onwe gị, Chineke, anụla nkwa niile m kwere;
i nyela m ihe nketa nke ndị na-atụ egwu aha gị.

6 Tụkwasị ọtụtụ ụbọchị na ndụ eze,
mee ka afọ ya ruo ọtụtụ ọgbọ.
7 Kwere ka ọ nọrọ n’ocheeze n’ihu Chineke ruo mgbe ebighị ebi;
zidata ịhụnanya gị na ikwesi ntụkwasị obi gị, ka ha na-echezikwa ya.

8 Mgbe ahụ, aga m abụ abụ otuto nye aha gị, ruo mgbe ebighị ebi.
Aga m emezukwa nkwa m kwere gị ụbọchị niile.

# Abụ Ọma 62

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Maka Jedutun. Abụ Ọma Devid.

---

* **Abụ Ọma 60:6** 60:6 Shekem bụ isi obodo ọchịchị mbụ ndị Izrel. Jen 12:6 † **Abụ Ọma 60:7** 60:7 Gilead, bụ ala ndị dị n’akụkụ ọwụwa anyanwụ obodo ahụ. Jos 13:24-32 ‡ **Abụ Ọma 60:7** 60:7 Manase, bụkwa ala ndị dị n’akụkụ ọwụwa anyanwụ obodo ahụ. Jos 13:24-32 * **Abụ Ọma 61:3** 61:3 Ilu 18:10

*Ịnọgide n'okwukwe*

1 Ọ bụ naanị n'ime Chineke ka mkpụrụobi m na-achọta izuike.
Nzọpụta m na-esite na ya na-abịa.
2 Naanị ya bụ oke nkume m na nzọpụta m;
ọ bụ ebe mgbaba m e wusiri ike, agaghị m ama jijiji n'ọnọdụ m.

3 Ruo ole mgbe ka unu ga-anọgide na-ebuso agha megide nwoke a?
Unu niile, unu chọrọ ịkwatu ya,
ebe ọ bụ naanị mgbidi na-ada ada, mgbidi na-esighị ike e ji osisi wuo?
4 Ha ekpebiela
isite n'ọnọdụ ya dị elu kwatuo ya;
okwu ụgha na-atọ ha ụtọ.
Ha na-eji ọnụ ha na-agọzi,
ma n'ime obi ha, ha na-abụ ọnụ.

Sela

5 O mkpụrụobi m, chọta ezumike naanị n'ime Chineke;
olileanya m na-esite na ya na-abịa.
6 Naanị ya bụ oke nkume m, na onye nzọpụta m.
Naanị ya kwa bụ ebe mgbaba m e wusiri ike, agaghị m ama jijiji n'ọnọdụ m.
7 Nzọpụta m na nsọpụrụ m dabeere na Chineke,*
Ọ bụ oke nkume m, ebe mgbaba m.
8 Tụkwasịnụ ya obi mgbe niile, unu ndị mmadụ;
kwupụtaranụ ya obi unu,
n'ihi na Chineke bụ ebe mgbaba anyị.

Sela

9 Ndị nta n'etiti ụmụ mmadụ bụ naanị otu nkuume,
ndị ukwu bụ naanị ụgha;
ọ bụrụ na a tụọ ha n'ihe ọtụtụ, ha bụ ihe efu;
ha niile bụ naanị otu nkuume.
10 Unu atụkwasịla obi unu n'iji aka ike kpata ego,
maọbụ tụkwasị olileanya unu n'ihe e zuru ezu;
akụ unu nwere ike mụbaa,
unu atụkwasịla ha obi.

11 Chineke ekwuola otu ihe,
ihe abụọ ka m nụrụ:
"Na gị, O Chineke, dị ike,
12 na gị, Onyenwe anyị, jupụtara n'ịhụnanya.
N'ezie, ị ga-akwụghachi onye ọbụla
dịka ọrụ ya si dị."

# Abụ Ọma 63

Abụ Ọma Devid, mgbe ọ nọ n'ọzara Juda.

*Onye ihe Chineke na-agụsị agụụ ike*

1 O Chineke, ị bụ Chineke m,
e ji m obi m niile na-achọ gị;
akpịrị na-akpọ mkpụrụobi m nkụ,

---

* **Abụ Ọma 62:7** 62:7 Maọbụ, Chineke nke kachasị ihe niile elu, bụ nzọpụta m na ugwu m

anụ ahụ m na-achọsi gị ike,
n’ala kpọrọ nkụ na nke ịda mba
ebe mmiri na-adịghị n’ime ya.

2 Ahụla m gị n’ụlọnsọ gị,
hụkwa ike gị na ebube gị.
3 N’ihi na ịhụnanya gị dị mma karịa ndụ,
aga m eji egbugbere ọnụ m jaa gị mma.
4 Ogologo ụbọchị m niile ka m ga-eto gị,
aga m eweli aka m abụọ elu kpọkuo aha gị.
5 Mkpụrụobi m ga-enwe afọ ojuju dịka onye ji ezi nri rijuo afọ;
aga m eji egbugbere ọnụ jupụtara n’abụ too gị.

6 N’elu ihe ndina m, ana m echeta gị,
ana m atụgharị uche n’ihe banyere gị, ogologo abalị niile.
7 N’ihi na ị bụ onye inyeaka m,
ana m abụ abụ n’okpuru ndo nke nku gị.
8 Mkpụrụobi m na-arapara gị n’ahụ;
aka nri gị na-ejigide m.

9 A ga-ala ndị na-achọ ndụ m n’iyi;
ha ga-arịda ruo ebe omimi nke ụwa.
10 A ga-eji mma agha laa ha n’iyi,
ha ga-abụkwa nri nye nkịta ọhịa.

11 Ma eze ga-aṅụrị ọṅụ n’ime Chineke;
ndị niile na-eji aha Chineke aṅụ iyi ga-eto ya,
ma a ga-eme ka ọnụ ndị niile na-agha ụgha dere duu.

# Abụ Ọma 64

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid.

*Ekpere maka nchekwa*

1 Nụrụ olu m O Chineke, mgbe m na-akọsara gị ihe na-esogbu m.
Chebe ndụ m site n’aka ndị iro m.

2 Zopu m pụọ n’izu nzuzo niile nke ndị ọjọọ,
site n’atụmatụ ndị na-eme ajọ ihe.
3 Ha na-amụ ire ha dịka e si amụ mma agha,
na-agbapụ okwu dịka àkụ ọjọọ.
4 Ha na-agba onye na-enweghị ihe o mere àkụ site n’ebe nzuzo,
na mberede ka ha na-agba ya, na-atụghị egwu.

5 Ha na-agbarịta ibe ha ume na-atụmatụ ọjọọ,
ha na-ekwu banyere isi ọnya ha na nzuzo,
ha na-asị, “Onye ga-ahụ ya*?”
6 Ha na-atụpụta atụmatụ ọjọọ na-asị,
“Anyị echepụtala atụmatụ zuruoke!”
N’ezie, uche na obi mmadụ dị aghụghọ.

---

* **Abụ Ọma 64:5** 64:5 Maọbụ, onye ga-ahụ anyị

7 Ma Chineke ga-agba ha àkụ,
na mberede ka a ga-etida ha.
8 Ọ ga-atụgharị okwu ọnụ ha megide ha,
mee ka ha laa n’iyi;
ndị niile hụrụ ha ga-efufe isi ha n’ịkwa emo.
9 Mmadụ niile ga-atụ egwu,
ha ga-ekwupụta ọrụ niile nke Chineke,
ma tụgharịa uche nke ọma banyere ihe o mere.

10 Ndị ezi omume ga-aṅụrị ọṅụ n’ime ONYENWE ANYỊ,
ha ga-agbababakwa n’ime ya;
ndị niile obi ha ziri ezi ga-anyakwa isi n’ime ya.

# Abụ Ọma 65

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid. Otu Abụ.

*Ịdị mma na ịdị ike nke Chineke*

1 I kwesiri otuto, O Chineke, n’ime Zayọn;
ọ bụ gị ka anyị ga-emezuru nkwa anyị,
2 O gị onye na-anụ ekpere,
ọ bụ gị ka mmadụ niile ga-abịakwute,*
3 Mgbe mmehie na-anyịgbu anyị,
ị gbaghara anyị njehie anyị niile.
4 Ngọzị na-adịrị ndị ahụ ị họpụtara,
ka ha bịaruo nso, ibi n’ebe obibi gị!
E ji ọtụtụ ezi ihe nke ụlọ gị, nke ụlọnsọ ukwuu gị,
mee ka afọ ju anyị.

5 O Chineke, Onye nzọpụta anyị,
i ji ọrụ ezi omume dị oke egwu na-aza anyị,
ị bụ olileanya ndị niile bi na nsọtụ nke ụwa,
na osimiri niile dị ebe dị anya,
6 onye ji ike ya kpụọ ugwu niile,
ebe i yikwasịrị onwe gị ike dịka ngwa agha,
7 onye mere ka ụda olu oke osimiri niile
na ụda olu ebili mmiri,
na ọgbaaghara mba niile deere duu.
8 Ụwa niile jupụtara n’ịtụnanya n’ihi ọrụ ebube gị niile,
n’ebe chi na-abọ, ebe anyanwụ na-ada,
ka ị na-akpọlite abụ ọṅụ.

9 Ị na-elekọta ala na-agba ya mmiri;
ị na-eme ka ọ bụrụ ala dị mma.
Isi iyi Chineke adịghị ata ata,
n’ihi inye ndị mmadụ mkpụrụ ubi,
n’ihi na ọ bụ otu a ka ị chọrọ ka ọ dịrị.
10 Ị na-eme ka mmiri jupụta n’ala a kọrọ akọ mee ka elu aja a kọrọ akọ dị larịị;
ị na-eji mmiri ozuzo eme ka ọ dị nro, na-agọzikwa ihe ndị akụnyere na ya.
11 Ị na-eji owuwe ihe ubi bara ụba kpukwasị afọ ọbụla dịka okpueze,
ụgbọ na-ebu ihe owuwe ubi na-ejubiga oke.

---
* **Abụ Ọma 65:2** 65:2 Aịz 66:23

12 Ala ebe ahịhịa na-epu n'ọzara na-ejupụta n'ahịhịa ndụ,
e yikwasịrị ugwu niile obi ụtọ dịka uwe.
13 E were igwe anụ ụlọ kpuchie n'elu ala niile ebe ahịhịa dị ndụ puru,
ọka kpuchikwara ndagwurugwu niile;
ha na-eti mkpu ọṅụ na-abụkwa abụ.

# Abụ Ọma 66

Abụ dịrị onyeisi abụ. Otu Abụ. Abụ Ọma.

*Abụ ekele*
1 Ụwa niile, jirinụ ọṅụ tikuo Chineke!
2 Bụọ abụ banyere ebube aha ya;
meenụ ka otuto ya bụrụ ihe dị ebube!
3 Gwa Chineke okwu sị ya, "Lee ka ọrụ gị niile si dị oke egwu!
Ike gị dị nnọọ ukwu,
ya mere ndị iro gị, na-ada n'ihu gị n'ihi ụjọ.
4 Ndị niile bi n'ụwa na-akpọ isiala nye gị;
ha na-abụku gị abụ otuto,
ha na-abụ abụ otuto nye aha gị."
Sela

5 Bịa lee ihe Chineke mere,
ụdị ọrụ oke egwu ọ na-arụ n'ihi mmadụ!
6 O mere ka osimiri ghọọ ala akọrọ,*
ha ji ụkwụ si n'etiti osimiri gafee†;
bịanụ ka anyị ṅụrịa n'ime ya.
7 Ọ na-achị ruo mgbe ebighị ebi site n'ike ya,
anya ya na-elekwa mba niile,
ka ndị nnupu isi ghara ịfụlị onwe ha elu megide ya.
Sela

8 Toonu Chineke anyị, unu mmadụ niile,
kwere ka a nụ ụda otuto ya;
9 O chebela ndụ anyị,
ma mee ka ụkwụ anyị ghara ịmịchapụ.
10 N'ihi na ọ bụ gị, O Chineke, nwara anyị;
ị nụchara anyị dịka ọlaọcha.
11 Ị kpọbatara anyị n'ụlọ mkpọrọ,
ma bokwasị ibu dị arọ n'azụ anyị.
12 I kwere ka ndị mmadụ rịa anyị elu;
anyị esitela n'ime ọkụ na n'ime mmiri gafee.
Ị kpọbatala anyị ebe anyị nwezuru ihe niile.

13 Aga m e ji aja nsure ọkụ bata n'ime ụlọnsọ ukwu gị,
imezu nkwa m kwere gị
14 n'ihi na nke a bụ ihe m ji ọnụ m kwuo,
ọ bụkwa nke a ka egbugbere ọnụ m kwupụtara na m ga-eme n'oge nsogbu m.
15 Aga m eji anụ ndị gbara abụba chụọrọ gị aja,
ya na aja onyinye nke ọtụtụ ebule;
Aga m achụkwa aja onyinye nke ọtụtụ oke ehi na mkpi.

* **Abụ Ọma 66:6** 66:6 Ọpụ 14:22 † **Abụ Ọma 66:6** 66:6 Jos 3:14-16

Sela

16 Bịanụ nụrụ, unu niile na-atụ egwu Chineke;
ka m kọọrọ unu ihe o meere m.
17 Eji m ọnụ m kpọkuo ya;
otuto ya dị m n'ire.
18 Ọ bụrụ na mmehie na-amasị m n'ime obi m,
Onyenwe anyị agaraghị ege m ntị;
19 ma Chineke gere ntị n'ezie,
nụrụkwa olu arịrịọ m.
20 Otuto dịrị Chineke,
onye na-ajụghị ekpere m
maọbụ ghara izi m ịhụnanya ya!

# Abụ Ọma 67

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Abụ eji ụbọ akwara akpọ. Abụ Ọma. Otu Abụ.

*Abụ ekele*

1 Ka Chineke meere anyị amara ma gọzie anyị,
ma mee ka ihu ya chakwasị anyị,*

Sela

2 Ka a mara ụzọ gị niile n'ụwa,
marakwa nzọpụta gị n'etiti mba niile.

3 Ka mmadụ niile too gị, O Chineke;
ka mmadụ niile too gị.
4 Ka mba niile ṅụrịa ma bụọ abụ ọṅụ,
n'ihi na ị na-eji ikpe ziri ezi na-achị ndị mmadụ,
na-edukwa mba niile nke ụwa.

Sela

5 Ka mmadụ niile too gị, O Chineke;
ka mmadụ niile too gị.

6 Mgbe ahụ, ala ga-amịpụta ihe owuwe ubi ya,
Chineke, onye bụ Chineke anyị, ga-agọzikwa anyị.
7 Chineke ga-agọzi anyị,
nsọtụ niile nke ụwa ga-atụ egwu ya.

# Abụ Ọma 68

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Nke Devid. Abụ Ọma. Otu Abụ.

*Chineke nke ụwa niile*

1 Ka Chineke bilie, ka ndị iro ya bụrụ ndị a chụsasịrị;
ka ndị iro ya site n'ihu ya gbalaga.
2 Dịka ikuku si achụsa anwụrụ ọkụ,* sikwa otu a chụsaa ha.
Dịka mmanụ na-ehi ụra si agbaze n'ọkụ,
ka ndị na-eme ihe ọjọọ laa n'iyi n'ihu Chineke.
3 Ka ndị ezi omume bụrụ ndị nwere obi ụtọ,
ma ṅụrịa n'ihu Chineke;
ka ha bụrụ ndị nwere obi ụtọ, jupụtakwa n'ọṅụ.

* **Abụ Ọma 67:1** 67:1 Ọnụ 6:25 * **Abụ Ọma 68:2** 68:2 Hos 13:3

4 Bụkuo Chineke abụ, bụkuonụ aha ya abụ otuto,
toonu onye na-agba igwe ojii dịka ịnyịnya,
ONYENWE ANYỊ bụ aha ya, ṅụrịa ọṅụ n’ihu ya.
5 Ọ bụ nna ndị nke na-enweghị nna, onye na-ekpechitere ndị di ha nwụrụ anwụ ọnụ ha,
onye a bụ Chineke, onye bi n’ebe ya dị nsọ.
6 Chineke na-eme ka ndị naanị ha nọ nwee ezinaụlọ,
ọ na-eji ịbụ abụ dupụta ndị nọ n’ụlọ mkpọrọ,
ma ndị nnupu isi ka ọ na-eme ka ha biri, n’ala kpọrọ nkụ.

7 Mgbe i buteere ndị gị ụzọ, O Chineke,
mgbe i gabigara n’ala tọgbọrọ n’efu,
Sela
8 elu ụwa mara jijiji, eluigwe wụpụrụ mmiri ozuzo,
n’ihu Chineke, Onye Saịnaị,
n’ihu Chineke, Chineke nke Izrel.
9 I nyere mmiri ozuzo n’ebe ọ dị ukwuu, O Chineke,
i tutere ihe nketa gị nke ike gwụrụ.
10 Ndị gị biri n’ime ya,
site n’oke akụnụba gị, O Chineke, ị rọpụtaara ndị ogbenye mkpa ha.

11 Onyenwe anyị kpọsara okwu ahụ,
ọnụọgụgụ ndị inyom kwusara ya bụ igwe dị ọtụtụ;
12 ndị eze na ndị agha ha ji ọsọ gbalaa;
ndị mmadụ kere ihe a dọtara n’agha, n’ime ọmụma ụlọ ikwu.
13 Ọ bụladị mgbe ị na-arahụ ụra n’etiti ọgba atụrụ,
nku abụọ nke nduru m bụ ihe e ji ọlaọcha kpuchie,
jirikwa ọlaedo nke na-enwuke kpuchie abụba ya.
14 Mgbe Onye pụrụ ime ihe niile chụsasịrị ndị eze bi n’ala a,
ọ dị ka snoo dara n’elu Zalmon.

15 Ugwu Bashan, ugwu mara mma nke ukwuu,
ugwu Bashan, ugwu nwere n’elu ya ọtụtụ ugwu dị iche iche.
16 Gị ugwu nwere ọtụtụ ugwu, gịnị mere i ji ele anya site n’ekworo
n’ugwu Chineke họọrọ ị bụ ebe ọ ga-anọ chịa,
ebe ONYENWE ANYỊ n’onwe ya ga-ebi, ruo ebighị ebi?
17 Ọnụọgụgụ ụgbọ agha Chineke dị iri puku kwụrụ puku, a pụghị ịgụta ha;
ha dịkwa puku kwụrụ puku;
Onyenwe anyị sitere Saịnaị bata n’ụlọnsọ ya.
18 Mgbe i rigoro gaa n’elu,†
i duuru ndị a dọtara n’agha‡;
ị natara onyinye dị iche iche n’aka ndị mmadụ,
ọ bụladị n’aka ndị na-enupu isi,
ka gị, O ONYENWE ANYỊ Chineke, biri n’ebe ahụ.

19 Otuto dịrị Onyenwe anyị, Chineke anyị, na Onye Nzọpụta anyị,
Onye na-ebu ibu arọ anyị ụbọchị niile.
Sela
20 Chineke anyị bụ Chineke na-azọpụta;

† **Abụ Ọma 68:18** 68:18 Mak 16:19; Ọrụ 1:9; Kọl 3:1 ‡ **Abụ Ọma 68:18** 68:18 Nkp 5:12; Efe 4:8

mgbapụta pụọ n’ọnwụ na-esite n’aka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ.
21 N’ezie, Chineke ga-egwepịa isi ndị iro ya niile,
isi ndị niile na-aga n’ihu ibi ndụ mmehie.
22 Onyenwe anyị kwuru sị, “Aga m esite na Bashan kpọlata ha,
aga m adọpụta ha site n’ebe omimi nke osimiri,
23 ka unu nwee ike saa ụkwụ unu n’ime ọbara ndị iro unu,
ka ire nkịta unu niile ketakwa oke nke ha.”

24 O Chineke, ahụla igwe ahịrị mmadụ ndị na-eso gị,
bụ igwe ahịrị mmadụ nke so Chineke m, na Eze m na-aba n’ebe nsọ ahụ.
25 Ndị na-abụ abụ nọ n’ihu, ndị na-eti egwu, na-eso ha n’azụ;
ụmụ agbọghọ na-akpọ ụbọ sokwa ha.
26 Too Chineke n’etiti nzukọ ukwuu ahụ;
toonu ONYENWE ANYỊ n’etiti nzukọ ụmụ Izrel.
27 Lee Benjamin bụ agbụrụ dịkarịsịrị nta, ka ọ na-edu ha,
lekwaa igwe ụmụ ndị eze Juda
na nke Zebụlọn na Naftalị.

28 O Chineke, kpọlite ike gị;
mee ka ike gị pụta ìhè, O Chineke, dịka i mere na mbụ.
29 N’ihi ụlọnsọ ukwu gị nke dị na Jerusalem,
ndị eze ga-ewetara gị onyinye dị iche iche.
30 Baara anụ ọhịa ahụ zoro n’etiti riidi mba,
igwe oke ehi nọ n’etiti ụmụ ehi nke mba niile.
Site na nweda n’ala, ka o wetara gị ogbe ọlaọcha.
Chụsasịa mba niile, bụ ndị na-enwe mmasị n’ibu agha.
31 Ndị nnọchi anya obodo, ga-esite n’Ijipt bịa,
Kush ga-etinye onwe ya n’okpuru Chineke.

32 Bụkuo Chineke abụ, unu alaeze niile nke ụwa,
bụkuo Onyenwe anyị abụ otuto,
Sela
33 Bụọ abụ nye onye na-agba ịnyịnya n’eluigwe, e, ọ bụladị eluigwe nke dịrị site na mgbe ochie,
onye olu ike ya dịka egbe eluigwe.
34 Kwusaa ike Chineke,
onye ịdị ukwuu nke ịma mma ya na-ekpuchi Izrel,
onye ike ya dị n’eluigwe.
35 O Chineke, ị dị oke egwu n’ime ụlọnsọ gị;
Chineke nke Izrel na-enye ndị ya ume na ike.

Toonu Chineke!

# Abụ Ọma 69

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Eji olu abụ “Ọkoko Lili.” Abụ Devid.

*Ekpere maka nnapụta*

1 O Chineke, zọpụta m,
n’ihi na mmiri abịaruola m n’olu.
2 Ana m emikpu n’ụrụrọ ebe dị omimi,
e nwekwaghị ebe ịzọkwasị ụkwụ dị.

Abịala m n’ebe mmiri dị omimi;
uju mmiri na-achọkwa ikpuchigide m.
3 Akpịrị akpọọla m nkụ;
ike agwụla m ebe m na-akpọ oku maka enyemaka.
Anya m agbaala ọchịchịrị
ebe m na-ele anya Chineke.*
4 Ndị kpọrọ m asị n’efu dị ukwuu
karịa agịrị isi dị m n’isi.
Ndị na-achọ ịla ndụ m n’iyi dị ukwuu,
bụ ndị hụọrọ ịbụ ndị iro m, mgbe ọ na-adịghị ihe ọbụla m mere ha.
Ha nọgidesịrị m ike mee ka m nyeghachi
ihe m na-ezughị n’ohi.

5 Gị, Chineke, ị maara enweghị uche m niile;
ikpe ọmụma m abụghị ihe zoro ezo n’ihu gị.

6 Ekwela ka ihere mee ndị
na-atụkwasị gị obi n’ihi m,
O Onyenwe m, ONYENWE ANYị, Onye pụrụ ime ihe niile;
ka ndị na-achọ gị
ghara ịbụ ndị a ga-eme ihe ihere n’ihi m,
O Chineke nke Izrel.
7 Ọ bụ n’ihi gị ka m na-anagide ịkwa emo,
ihere ekpuchiela m ihu.
8 Abụ m ọbịa n’ebe ụmụnna m nọ,
n’ebe ụmụnne nọ, abụ m onye mba ọzọ.
9 N’ihi na ihe gbasara ụlọ gị na-anụ m ọkụ n’obi,
ịta ụta niile nke ndị na-akparị gị adakwasịla m.
10 Mgbe m na-ebe akwa na-ebukwa ọnụ,
ha kparịrị m n’ihi na m na-eme nke a.
11 Mgbe m yikwasịrị uwe iru ụjụ m,
a ghọrọ m ihe ha ji eme ihe ọchị.
12 Ndị na-anọ ọnọdụ ala n’ọnụ ụzọ ama, na-akwa m emo, na-akọ m ọnụ,
abụ m isi abụ nke ndị na-aṅụbiga mmanya oke na-abụ.

13 O ONYENWE ANYị, ana m akpọku gị n’ekpere,
n’oge ihuọma gị;
na oke ịhụnanya gị, O Chineke m,
zaa m n’eziokwu nke nzọpụta gị.
14 Dọpụta m site n’ụrụrọ,
ekwela ka m mikpuo;
zọpụta m site n’aka ndị kpọrọ m asị,
site na mmiri miri emi.
15 Ekwela ka uju mmiri kpuchie m,
maọbụ ka ebe dị omimi loda m,
ma ọ bụkwanụ ka olulu lomie m, kpuchie m n’ime ọnụ ya.

16 O ONYENWE ANYị, zaa m, site n’ịdị mma nke ịhụnanya gị,
n’ime ịdị ukwuu nke oke ebere gị, chee m ihu.
17 Ezonarịla mụ bụ ohu gị ihu gị.

* **Abụ Ọma 69:3** 69:3 Abụ 119:82,123

Anọ m na nsogbu, mee ngwangwa zaa m!
18 Bịa m nso zọpụta m.
Gbapụta m site n’aka ndị iro m.

19 Ị maara ihe niile banyere ihe ọchị ha ji m mee, mweda n’ala m na ihe ihere:
ndị iro m niile nọkwa gị n’ihu.
20 Ọchị ha na-achị m etiwaala m obi,
ma hapụ m n’ọnọdụ enweghị inyeaka.
Elere m anya onye ga-emere m ebere, ma ọ dịghị onye ọbụla m hụrụ;
lee anya ndị ga-akasị m obi, ma ọ dịkwaghị onye m chọtara.
21 Ha tinyere oluilu n’ime nri m,
nyekwa m mmanya gbara ụka ka m ṅụọ.

22 Ka tebul e debere n’ihu ha ghọrọ ha ọnya;
ka ọ bụrụ ha ihe ịbọ ọbọ mgbe ha nọ n’udo ya ghọrọ ha ọnya igbudu.
23 Ka anya ha gbaa ọchịchịrị, ka ha gharakwa ịhụ ụzọ ọzọ,
mekwa ka ụkwụ ha na-ama jijiji mgbe niile.
24 Wụkwasị ha oke iwe gị,
ka iwe gị dị ọkụ zute ha.
25 Ka ebe obibi ha tọgbọrọ n’efu,
ka mmadụ ọbụla gharakwa ibi n’ime ụlọ ikwu ha.
26 Ha na-akpagbu ndị ahụ i merụrụ ahụ,
na-ekwukwa banyere ihe mgbu ndị ahụ i kwohịara ahụ.
27 Boo ha ebubo ajọ omume tụkwasị n’elu ajọ omume,
ekwekwala ka ha keta oke na ezi omume† gị.
28 Mee ka e hichapụ aha ha site n’akwụkwọ nke ndụ,
ka a hapụ idekọta aha ha na nke ndị ezi omume.

29 Anọ m n’ụfụ na ihe mgbu,
O Chineke, mee ka nzọpụta gị kpuchie m.

30 Aga m eji ịbụ abụ too aha Chineke,
jirikwa ekele bulie ya elu.
31 Nke a ga-atọ Onyenwe anyị ụtọ karịa oke ehi,
karịa oke ehi, nke mpi ya na ụkwụ ya ka dị.
32 Ndị ogbenye ga-ahụ ya ma ṅụrịakwa ọṅụ;
unu ndị na-achọ Chineke, ka obi unu na-adị ndụ.
33 Onyenwe anyị na-anụ ekpere ndị nọ na mkpa,
ọ naghị eledakwa ndị ya a dọtara n’agha anya.

34 Ka eluigwe na ụwa too ya,
osimiri niile na ihe niile bi n’ime ha.
35 N’ihi na Chineke ga-azọpụta Zayọn;
ọ ga-ewugharị obodo niile nke Juda.
Mgbe ahụ, ndị mmadụ ga-ebi n’ime ya, mee ya ihe nweta ha.
36 Ụmụ ndị na-ejere ya ozi ga-eketa ya,
ndị hụrụ aha ya n’anya ga-ebikwa ebe ahụ n’ime ya.

† **Abụ Ọma 69:27** 69:27 Maọbụ, nzọpụta

# Abụ Ọma 70

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Nke Devid. Arịrịọ.

*Ekpere maka nnapụta*

1 O Chineke, gbata ọsọ bịa zọpụta m,
O ONYENWE ANYỊ, bịa ngwangwa inyere m aka.

2 Ka ndị niile na-achọ ịnapụ m ndụ m,
bụrụ ndị a ga-etinye n'ọnọdụ ihere na ọgbaaghara.
Ka ndị ọ na-amasị ịhụ ịla n'iyi m
laghachi azụ n'ihere.
3 Ka ndị ahụ na-asị m, "Ehee! Ehee!"
laghachi azụ n'ihi ihere ha.
4 Ma ka ndị niile na-achọ gị
ṅụrịa ọṅụ, nweekwa obi ụtọ n'ime gị,
ka ndị ahụ hụrụ nzọpụta gị n'anya na-ekwu mgbe niile,
"ONYENWE ANYỊ dị ukwuu."

5 Ma mụ onwe m bụ ogbenye na onye nọ na mkpa;
O Chineke, mee ngwangwa bịakwute m.
Ị bụ onye inyeaka m na onye mgbapụta m;
O ONYENWE ANYỊ, anọla ọdụ ịbịa.

# Abụ Ọma 71

*Ekpere maka ndụ ogologo*

1 ONYENWE ANYỊ, n'ime gị ka m gbabara izere ndụ;
ekwela ka ihere mee m.
2 Site n'ezi omume gị, gbapụta m, mee ka m nwere onwe m;
tọọ ntị gị n'ala nụrụ olu m ma zọpụta m.
3 Ghọọrọ m oke nkume nke ebe mgbaba,
ebe m nwere ike ịgbaba mgbe ọbụla;
nye iwu maka nzọpụta m,
n'ihi na ị bụ oke nkume m na ebe m e wusiri ike.
4 O Chineke m, site n'aka ndị ajọ omume na ndị mmadụ na-eme ihe ọjọọ,
ndị afọ tara mmiri, gbapụta m.

5 N'ihi na gị onwe gị bụrịị olileanya m, Onyenwe m ONYENWE ANYỊ,
ntụkwasị obi m site na mgbe m bụ nwantakịrị.*
6 Ọ bụ gị ka m tụkwasịrị obi, site n'oge amụrụ m;
gị onwe gị wepụtara m site n'afọ nne m.
Aga m anọgide na-eto gị.
7 Adịla m ka ihe ama nye ọtụtụ mmadụ,
ma ị bụ ebe mgbaba m siri ike.
8 Ọnụ m jupụtara n'otuto gị,
ọ na-ekwupụta ịma mma gị ogologo ụbọchị niile.

9 Agbakụtala m azụ mgbe m mere agadi;
ahapụkwala m mgbe ike adịghịkwa m.
10 N'ihi na ndị iro m na-ekwu okwu megide m;

---

* **Abụ Ọma 71:5** 71:5 Jer 14:8; Jer 17:7,13

ndị ahụ na-achọ igbu m na-agbarịta izu nzuzo.
11 Ha na-asị, “Chineke agbakụtala ya azụ;
chụọ ya ọsọ, jidekwa ya,
n’ihi na o nweghị onye ọbụla ga-agbapụta ya.”
12 O Chineke, anọla m ebe dị anya;
O Chineke m, bịa ngwangwa nyere m aka.
13 Ka e were ihere kpuchie ndị na-ebo m ebubo ụgha;
ka ihere na nleda anya bụrụ ihe ga-ekpuchi
ndị ahụ na-achọ imerụ m ahụ.

14 Ma mụ onwe m ga-anọgide na-enwe olileanya mgbe niile;
aga m eto gị mgbe niile karịa otu m toro gị na mbụ.

15 Ọnụ m ga-ekwu banyere ezi omume gị
na nzọpụta gị ogologo ụbọchị niile,
ọ bụ ezie na-amaghị m ọtụtụ ya.
16 Aga m abịa kwusaakwa ịdị ukwu ọrụ gị niile, Onyenwe m ONYENWE ANYỊ,
aga m ekwusa ezi omume gị, e, naanị nke gị.
17 O Chineke, site na mgbe m bụ nwantakịrị, i kuzielera m ihe,
ruo taa, ana m ekwupụta banyere ọrụ ebube gị niile.
18 O Chineke m, ọ bụladị mgbe m mere agadi,
mgbe isi awọ juru m isi, ahapụla m,
tutu ruo mgbe m ga-ekwupụta ike gị nye ọgbọ nke na-abịa,
na ịdị ike gị nye ndị niile na-abịa n’oge dị n’ihu.

19 O Chineke, ezi omume gị na-eru n’eluigwe,
gị onye merela ọtụtụ ihe dị ukwu.
O Chineke, onye dị ka gị?
20 N’agbanyeghị na i meela ka m gabiga ọtụtụ nsogbu
nke dị ilu,
ị ga-atụte ndụ m ọzọ;
site n’ebe dị omimi nke ụwa,
ị ga-adọkpụpụta m ọzọ.
21 Ị ga-eme m ka m dịrị ukwuu karịa ka m dị na mbụ.
Ị ga-akasịkwa m obi ọzọ.

22 O Chineke m, aga m eji ụbọ akwara too gị,
n’ihi ikwesi ntụkwasị obi gị;
aga m eji une bụkuo gị abụ otuto,
gị Onye nsọ nke Izrel.
23 Egbugbere ọnụ m ga-eti mkpu ọṅụ
mgbe m na-abụku gị abụ otuto,
mụ, onye ị gbapụtara.
24 Ogologo ụbọchị niile, aga m ekwupụta
ọrụ ezi omume gị niile,
n’ihi na ndị ahụ chọrọ imerụ m ahụ,
ka e tinyere n’ọnọdụ ihere na ọgbaaghara.

# Abụ Ọma 72

Abụ nke Solomọn.

*Ekpere maka eze*

1 O Chineke, jiri ikpe ziri ezi mejupụta eze.
Nyekwa nwa eze ezi omume gị.
2 Ọ ga-eji ezi omume chịa ndị gị,
jiri ikpe ziri ezi chịa ndị a na-emegbu.

3 Ka ugwu niile wetara ndị mmadụ ịba ụba;
ugwu nta niile wetakwara ha mkpụrụ ezi omume.
4 Ọ ga-ekpepụta ndị a na-emegbu n'etiti ndị mmadụ,
zọpụtakwa ụmụntakịrị ndị nọ na mkpa;
ọ ga-egwepịa onye mmegbu.
5 Ka ọ dịgide ruo mgbe niile dịka anyanwụ na-adịgide,
dịka ọnwa na-adịgidekwa ruo ọgbọ niile.
6 Ọ ga-adị ka mmiri na-ezokwasị ala ubi a sụrụ asụ,
dịka mmiri ozuzo na-ede elu ala.
7 N'oge ndụ ya, ka ndị ezi omume too, na-awasa;
ịba ụba ga-ejupụta ebe niile ruo mgbe ọnwa agaghị adịkwa.

8 Ọ ga-achị site n'osimiri ruo osimiri,
na-esite n'iyi ukwu.* ruo na nsọtụ niile nke ụwa†
9 Ebo niile ndị bi n'ọzara ga-akpọ isiala nye ya,
ndị iro ya niile ga-abụ ndị e wedara n'ala.
10 Ndị eze Tashish‡ na mba niile dị n'ebe dị anya,
ga-atụ ụtụ wetara ya;
e, ọ bụladị ndị eze si Sheba na Seba,§
ga-ewetara ya ọtụtụ onyinye.
11 Ndị eze niile ga-akpọ isiala nye ya,
mba niile ga-ejekwara ya ozi.

12 N'ihi na ọ ga-azọpụta ndị nọ na mkpa mgbe ha kpọkuru ya.
Ọ ga-azọpụtakwa ndị ogbenye na-enweghị onye ga-enyere ha aka.
13 Ọ ga-enwe ọmịiko n'ahụ ndị na-enweghị ike, na ndị nọ na mkpa,
ọ ga-azọpụta ndị nọ na mkpa site n'ọnwụ.
14 Ọ ga-azọpụta ha site na mkpagbu na ihe ike,
n'ihi na ndụ ha dị oke ọnụahịa n'anya ya.

15 Ka ọ dị ogologo ndụ!
Ka e nye ya ọlaọcha e wetara na Sheba.
Ka ndị mmadụ na-ekpere ya ekpere mgbe niile,
ma gọziekwa ya ogologo ụbọchị niile.
16 Ka mkpụrụ ọka jupụta n'ebe niile n'ala a;
ka ha na-efufegharị n'elu ugwu niile.
Ka mkpụrụ ubi ya wasaa dịka Lebanọn;
ka mmadụ jupụta nke ọma n'obodo dịka ahịhịa ndụ nke ọhịa.
17 Ka aha ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi;

* **Abụ Ọma 72:8** 72:8 Nke a na-ekwu banyere osimiri Yufretis. Mgbe Solomọn na-achị, ọ bụ n'akụkụ ọwụwa anyanwụ ala Izrel ka ọ dị. Ọ bụ otu ihe e kwere ndị Izrel na nkwa mgbe ha si n'ọnọdụ ohu na-ahapụ Ijipt. Ọpụ 23:31; Zek 9:10 † **Abụ Ọma 72:8** 72:8 Ọ bụ site n'osimiri Mediterenịa ruo n'osimiri Nwụrụ anwụ, ka a maara dị ka nsọtụ ụwa n'oge ahụ. ‡ **Abụ Ọma 72:10** 72:10 Obodo Tashish dị n'ala Spen, ọ nọchiri anya nsọtụ nke ụwa, 2Ih 9:21 § **Abụ Ọma 72:10** 72:10 Ala Sheba dị n'Arebịa, ebe ala Seba dị n'Afrika.

ka ọ na-adịgide ruo mgbe niile dịka anyanwụ si adịgide.

A ga-esite na ya gọzie mba niile,
a ga-akpọ ya onye a gọziri agọzi.

18 Otuto dịrị ONYENWE ANYỊ Chineke, Chineke nke Izrel,
onye naanị ya na-arụ ọrụ ebube dị iche iche.
19 Otuto dịrị aha ya dị ebube ruo ebighị ebi;
ka ụwa niile jupụta n'ebube ya.
Amen na Amen.

20 Nke a bụ ọgwụgwụ ekpere Devid nwa Jesi.

## Nchịkọta Akwụkwọ nke atọ

# 73

*Abụ Ọma 73–89*
Abụ Ọma Asaf.

*Ọgwụgwụ nke ndị na-emebi iwu*
1 N'ezie, Chineke dịịrị Izrel mma,
dịkwara ndị obi ha dị ọcha.

2 Ma mụ onwe m, ọ fọdụrụ nwantịị ka m zọhie ụkwụ,
ọ fọdụrụ nwantịị ka ụkwụ m gbụchapụ.
3 N'ihi na e kwosara m ndị mpako ekworo*;
mgbe m hụrụ ịba ụba† nke ndị ajọ omume.‡

4 Ha anaghị adọgbu onwe ha;
ahụ ha gbara abụba, siekwa ike.
5 Nsogbu niile mmadụ ibe ha na-enwe adịghị erute ha.
Ha enweghị mkpa ọbụla nke na-akpa ha dịka ndị ọzọ nwere.
6 N'ihi nke a, nganga bụ ihe ịnya n'olu ha;
ha jikwa ihe ike kpuchie onwe ha dịka uwe.
7 Mmehie na-esite n'obi ọjọọ ha apụta;
echiche ọjọọ ha enweghị ngụta.
8 Ha na-akwa emo, na-ejikwa iro ekwu okwu;
n'ime mpako ha, ha na-aba mba imegbu ndị ọzọ.
9 Ha ji ọnụ ha na-ekwu na eluigwe bụ nke ha,
ha jikwa ire ha kwuo na ụwa niile bụ nke ha.
10 N'ihi nke a, ndị ha na-eso ha,
na-aṅụrụ okwu ha ebe ọ bara ụba dịka mmiri.
11 Ha na-asị, "Olee otu Chineke ga-esi mara?
Ọ dịkwanụ ihe Onye kachasị ihe niile elu maara?"

12 Otu a ka ndị ajọ omume dị,
ha na-ebi ndụ na-enweghị nsogbu; akụnụba ha na-amụbakwa.

---

* **Abụ Ọma 73:3** 73:3 Abụ 37:1,7; Ilu 23:17 † **Abụ Ọma 73:3** 73:3 Maọbụ, udo ‡ **Abụ Ọma 73:3** 73:3 Job 21:5-16; Jer 12:1

13 N’ezie, ọ bụ naanị n’efu ka m debere obi m ọcha,
n’efu ka m kwọrọ aka§ m abụọ n’emeghị ihe ọjọọ.
14 Ogologo ụbọchị niile, anọ m na nsogbu;
ụtụtụ niile ka m na-anata ntaramahụhụ.

15 Ọ bụrụ na m kwuru sị, “Nke a ka m ga-ekwu,”
agaara m abụ onye na-ekwesighị ntụkwasị obi n’etiti ụmụ gị.
16 Mgbe m gbalịrị ịghọta ihe ndị a niile,
ọ ghọọrọ m ihe mwute,
17 tutu ruo mgbe m bara n’ebe nsọ Chineke;
mgbe ahụ ka m ghọtara ihe ga-eme ha n’ikpeazụ.

18 N’ezie, ị na-eguzo ha n’ala na-achị achị;
ị na-atụda ha, laa ha n’iyi.
19 Lee, ka ha si laa n’iyi n’otu ntabi anya,
bụrụ ndị ihe egwu dị iche iche kpochapụrụ kpamkpam!
20 Dịka nrọ, mgbe mmadụ na-eteta,
otu a, O Onyenwe anyị, mgbe i tetara,
ị ga-eleda ha anya dịka echiche na-agaghị emezu.

21 Mgbe m nọ n’obi mwute;
mmụọ m dara mba.
22 Abụ m onye nzuzu na onye na-amaghị ihe.
Adị m ka anụ ọhịa n’ihu gị.

23 Ma ana m anọnyere gị mgbe niile;
ị na-ejide m n’aka nri m.
24 Ị na-eji ndụmọdụ gị na-edu m,
ma emesịa, ị ga-anabata m n’ebube gị.
25 Onye ka m nwere n’eluigwe ma ọ bụghị gị?
Ọ dịghị ihe ụwa a nwere nke m ga-achọsi ike karịa gị.
26 Anụ ahụ m na mkpụrụobi m nwere ike ịda mba,
ma Chineke bụ ike nke obi m,
na ihe nketa m ruo ebighị ebi.

27 Ndị niile nọpụrụ gị n’ebe dị anya ga-ala n’iyi.
Ị ga-alakwa ndị niile na-ekwesighị ntụkwasị obi, nye gị n’iyi.
28 Ma nye mụ onwe m, ọ dị mma ịnọ Chineke nso.
Emeela m Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ebe mgbaba m.
Aga m akọ banyere ọrụ gị niile dị iche iche.

# Abụ Ọma 74

Abụ maskil nke Asaf.

*Ekpere maka enyemaka*

1 Chineke, gịnị mere i ji jụ anyị ruo mgbe ebighị ebi?
Gịnị mere iwe gị ji akwụ anwụrụ megide igwe atụrụ ndị ị na-azụ?
2 Cheta mba ahụ nke ị zụtara na mgbe ochie,
ebo ahụ bụ ihe nketa gị, ndị ị gbapụtara,

§ **Abụ Ọma 73:13** 73:13 Biri ndụ na-enweghị ntụpọ

n'ugwu Zayọn ebe i biri.
3 Tụgharịa nzọ ụkwụ gị bịa na mbibi ebighị ebi ndị a.
Ọ bụ onye iro wetara ịla n'iyi a niile n'ụlọnsọ a.

4 Ndị iro gị gbọrọ ụja n'ebe i zutere anyị.
Ha weliri ọkọlọtọ ha dịka ihe ịrịbama.
5 Ha kpara agwa dịka ndị ikom ji anyụike
ha ga-eji gbutuo ọtụtụ osisi dị n'oke ọhịa.
6 Ha ji anyụike na egbugbu ha
kụjisie ihe niile eji amachi ihe bụ nke egbunyere ihe.
7 Ha kpọkwara ụlọnsọ gị ọkụ, mee ya ka o repịa.
Ha merụrụ ụlọ obibi ahụ a kpọkwasịrị aha gị.
8 Ha sịrị n'obi ha, "Anyị ga-etipịa ha kpamkpam!"
Ha kpọrọ ebe niile a na-anọ efe Chineke n'ala a ọkụ.

9 Enyeghị anyị ihe ịrịbama ọbụla site n'aka Chineke.
Ọ dịkwaghị ndị amụma fọdụrụ.
Ọ dịkwaghị onye ọbụla n'etiti anyị onye maara, mgbe ihe a ga-agwụ.
10 O Chineke, ruo ole mgbe ka ndị iro ga-anọgide na-achị gị ọchị?
Onye iro, ọ ga-eleli aha gị ruo mgbe ebighị ebi?
11 Gịnị mere ị na-eseghachi aka gị azụ, e aka nri gị?
Sepụta aka gị laa ha n'iyi!

12 Ma gị, O Chineke, bụrịị eze m site na mgbe ochie.
Ọ bụ gị na-arụpụta nzọpụta n'elu ụwa.

13 Site n'ike gị dị ukwuu i mere ka osimiri kewaa abụọ.
Ọ bụ gị gwepịara isi anụ ọjọọ ahụ n'ime mmiri.
14 Ọ bụ gị gwepịara isi anụ ọjọọ ahụ a na-akpọ leviatan,
mee ka ọ ghọọ nri nye ụmụ anụmanụ bi n'ọzara.
15 Ọ bụ gị mere ka isi iyi na mmiri iyi na-asọ.
I mere ka osimiri na-eru eru mgbe niile taa.
16 Ehihie na abalị bụ nke gị.
I mere ka anyanwụ na ọnwa guzosie ike.
17 Ọ bụ gị kewapụtara oke ala niile nke ụwa.
Ọ bụ gị mere ka ọkọchị na udu mmiri dị.

18 O ONYENWE ANYỊ, cheta otu onye iro si chịa gị ọchị,
na otu ndị nzuzu si kwaa aha gị emo.
19 Ewerala ndụ nduru gị nyefee anụ ọhịa ọjọọ n'aka.
Echefukwala ndụ ndị gị a na-akpagbu ruo mgbe ebighị ebi.
20 Chetakwa ọgbụgba ndụ gị,
n'ihi na ihe ike na-ejupụta ebe niile gbara ọchịchịrị n'ala a.
21 Ekwela ka ndị a na-akpagbu gbaghachi azụ n'ihere;
ka ndị ogbenye na ndị nọ na mkpa too aha gị.
22 O Chineke, bilie, kpechitara onwe gị ikpe.
Chetakwa otu ndị nzuzu si kọọ gị ọnụ ogologo ụbọchị niile.
23 Elepụla mkpọtụ nke ndị iro gị niile anya,
olu mkpọtụ nke ndị iro gị na-aga n'ihu na-ala elu.

# Abụ Ọma 75

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Nke olu abụ "E bibikwala." Abụ Ọma Asaf. Otu Abụ.

*Ikpe ikpe ziri ezi nke Chineke*

1 Anyị na-eto gị, O Chineke.
Anyị na-eto gị, n'ihi na aha gị dị nso.
Ndị mmadụ na-ekwu banyere ọrụ ebube gị dị iche iche.

2 Ị na-asị, "Ana m ahọpụta oge a kara aka.
Ọ bụ m na-ekpe ikpe ziri ezi.
3 Mgbe ụwa na mmadụ niile bi n'ime ya na-ama jijiji,
ọ bụ m na-ejidesi ogidi* ya ike ka o guzo chịm.
Sela
4 Nye ndị mpako, ana m asị, 'Unu etukwala ọnụ ọzọ,
nye ndị ajọ omume, ana m asị, Unu ewelila mpi† unu elu.
5 Unu ewelila mpi unu megide eluigwe;
unu ejila nnupu isi kwuo okwu.' "

6 Ọ dịghị onye ọbụla sitere n'ọwụwa anyanwụ, maọbụ n'ọdịda anyanwụ,
maọbụ n'ọzara nke pụrụ ibuli mmadụ elu.
7 Kama ọ bụ Chineke, onye na-ekpe ikpe;
ọ na-eweli otu onye elu, wedakwa onye ọzọ ala.
8 Otu iko dị n'aka Onyenwe anyị
nke jupụtara na mmanya na-agba ụfụfụ nke a gwanyekọtara ụda dị iche iche.
Ọ na-awụpụ ya, ndị ajọ omume niile nke ụwa
na-aṅụ ya ruo mgbe ọ gwụsịrị.

9 Ma mụ onwe m, aga m ekwupụta nke a ruo mgbe ebighị ebi.
Aga m abụku Chineke nke Jekọb abụ otuto,
10 bụ onye sịrị, "Aga m ebipụ mpi ndị ajọ omume niile,
ma a ga-ebuli mpi ndị ezi omume elu."

# Abụ Ọma 76

Abụ Ọma dịrị onyeisi abụ. Nke eji ụbọ akwara akpọ. Abụ Ọma Asaf. Otu Abụ.

*Ike mmeri nke Chineke*

1 A maara Chineke n'obodo Juda;
aha ya dị ukwuu n'obodo Izrel.
2 Ụlọ ikwu ya dị na Salem,
ebe obibi ya dị na Zayọn
3 Ebe ahụ ka o tijisịrị àkụ niile na-egbu amụma,
na ọta niile, na mma agha niile, na ngwa agha niile.
Sela

4 Ị jupụtara n'ìhè,
ị dị oke ebube karịa ọtụtụ ugwu nke anụmanụ jupụtara.
5 A pụnarịla ndị nwere obi ike ihe ha,
ha na-arahụkwa ụra ikpeazụ ha;
o nweghị otu onye n'ime ndị dike n'agha ndị a
pụrụ iweli aka ya abụọ elu.

* **Abụ Ọma 75:3** 75:3 Ya bụ, ntọala † **Abụ Ọma 75:4** 75:4 Mpi na-anọchite anya ike n'ebe a

6 N'ihi ịba mba gị, O Chineke nke Jekọb,
ịnyịnya na ụgbọ agha na-anọ juu.*

7 Ọ bụ naanị gị ka e kwesiri ịtụ egwu.
Onye pụrụ iguzo n'ihu gị mgbe i na-ewe iwe?
8 I sitere n'eluigwe mee ka a nụ olu ikpe ikpe gị.
Ụwa tụkwara egwu, dere duu,
9 mgbe gị, O Chineke, biliri ikpe ikpe,
ịzọpụta ndị niile a na-akpagbu n'ala a.
Sela

10 N'ezie, oke iwe gị megide ụmụ mmadụ na-ewetara gị otuto,†
ndị fọdụrụ mgbe oke iwe gị gabigasịrị, na-anọ juu.

11 Kwenụ ONYENWE ANYỊ Chineke nkwa ma mezuokwa ha;
ka ndị ala niile bụ agbataobi unu
wetara onye ahụ e kwesiri ịtụ egwu onyinye dị iche iche.
12 Ọ na-eweda ndị na-achị achị n'ala;
ndị eze niile nke ụwa na-atụ ya egwu.

# Abụ Ọma 77

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi abụ. Maka Jedutun. Abụ nke Asaf. Abụ Ọma.

*Nkasiobi n'oge nsogbu*

1 Etikuru m Chineke n'oke olu maka enyemaka;
etikuru m Chineke mkpu ka ọ nụrụ olu m.
2 Mgbe m nọ n'ihe mgbu, ọ bụ Onyenwe anyị ka m chọrọ.
N'anyasị, esetipụrụ m aka m abụọ, ike na-agwụghị,
mmụọ m jụkwara ka a akasịe ya obi.

3 O Chineke, echetara m gị, sụkwaa ude;
echere m echiche, mkpụrụobi m dakwara mba.
Sela

4 I kweghị ka anya m abụọ mechie;
n'ihi oke mwute m, enweghị m ike kwuo okwu.
5 Echere m echiche banyere ụbọchị niile gara aga,
na afọ niile ndị gara aga.
6 Echetara m abụ niile m na-abụ n'ime anyasị.
Mkpụrụobi m nọ n'ọnọdụ ntụgharị uche, mmụọ m jụkwara ajụjụ.

7 "Onyenwe anyị ọ ga-agbakụta m azụ ruo mgbe ebighị ebi?
Ọ pụtara na ọ gaghị egosi ihuọma ya ọzọ?
8 Ọ pụtara na ịhụnanya ya nke na-adịgide ruo ebighị ebi agwụla?
Ọ pụtara na nkwa ya agaghị emezu ruo ebighị ebi?
9 Chineke, o chefuola i mere anyị ebere?
O jichiela ọmịiko ya n'ihi iwe?"
Sela

10 Mgbe ahụ, ekwuru m, "Lee ọnọdụ ọjọọ m,
afọ niile mgbe Onye kachasị ihe niile elu setịpụrụ aka nri ya.
11 Aga m echeta ọrụ niile ONYENWE ANYỊ rụrụ;

* **Abụ Ọma 76:6** 76:6 Ọpụ 15:1-6 † **Abụ Ọma 76:10** 76:10 Ọpụ 9:16-18; Rom 9:17

e, aga m echeta ihe ịrịbama niile i mere n'oge gara aga.
12 Aga m atụgharịa uche m n'ọrụ gị niile,
tuleekwa ọrụ ukwuu gị niile dị iche iche."

13 O Chineke, ụzọ gị niile dị nsọ.
Olee chi dị ukwuu dịka Chineke anyị?
14 Ị bụ Chineke onye na-arụ ọrụ ebube dị iche iche;
ị na-egosipụta ike gị n'etiti ụmụ mmadụ.
15 I ji aka gị dị ike gbapụta ndị gị,
bụ ụmụ ụmụ Jekọb na Josef.

Sela

16 Osimiri hụrụ gị, O Chineke,
osimiri hụrụ gị, taa;
ogbu mmiri mere mkpọtụ.
17 Igwe ojii wụpụrụ mmiri,
mkpọtụ egbe eluigwe jupụtara mbara eluigwe;
àkụ gị gburu amụma ebe niile.
18 A nụrụ ụda egbe eluigwe gị n'oke ifufe,
amụma gị nyere ụwa niile ihe;
elu ụwa niile mara jijiji, tụkwaa oke egwu.
19 Ọ bụ n'osimiri ka nzọ ụkwụ gị gara,
ụzọ gị gara n'etiti oke osimiri,
ọ bụ ezie na ahụghị m nzọ ụkwụ gị anya.

20 I sitere n'aka Mosis na Erọn
duo ndị gị dịka igwe atụrụ.

# Abụ Ọma 78

Abụ *maskil* nke Asaf.

*Chineke na ndị ya*

1 Ndị m, nụrụnụ ihe m na-ezi;
geenụ ntị n'okwu ọnụ m.
2 Aga m eji ilu malite okwu m,
aga m ekwu ọtụtụ ihe omimi, ihe ndị sitere na mgbe ochie;
3 ihe ndị anyị nụrụla, marakwa,
ihe ndị nna nna anyị ha gwara anyị.
4 Anyị agaghị ezonarị ụmụ anyị ihe ndị a,
kama anyị ga-akọrọ ọgbọ nke na-abịa n'ihu
akụkọ ịdị ike ONYENWE ANYỊ,
na ọrụ ebube ya, na ihe ịtụnanya niile o mere.
5 O nyere Jekọb iwu banyere ụkpụrụ ya,
mekwaa ka iwu ahụ guzosie ike n'Izrel,
bụ nke ọ dọrọ nna nna anyị ha aka na ntị,
ka ha kuziere ụmụ ha,
6 ka ọgbọ na-eso ha nwee ike mụta ya,
ọ bụladị ọgbọ nke a ka amụbeghị,
ndị nke ga-agwakwa ha ụmụ ha.
7 Mgbe ahụ, ha ga-atụkwasị Chineke obi ha,
ma ghara ichefu ọrụ ya niile dị iche iche.

Ha ga-edebekwa iwu ya niile.
8 Ha agakwaghị adị ka ndị nna nna ha,
ọgbọ ndị nnupu isi na ndị isiike;
ndị obi ha na-adịghị n’ebe Chineke nọ,
ndị mmụọ ha na-ekwesighị ntụkwasị obi nye ya.

9 Ndị ikom Ifrem, n’agbanyeghị na ha kwere ụta ha,
chighariri azụ, gbaa ọsọ n’ụbọchị agha.
10 Ha edebeghị ọgbụgba ndụ Chineke.
Ha jụkwara ibi ndụ dịka iwu ya si dị.
11 Ha chefuru ihe o mere,
ọrụ ịtụnanya o gosiri ha.
12 Chineke rụrụ ọrụ ebube ndị a n’ihu nna nna ha
n’ala Ijipt na n’ọhịa Zoan.
13 O kewara oke osimiri, site n’etiti ya dufee ha.
O mere ka mmiri ahụ guzo ọtọ dịka mgbidi.
14 O ji igwe ojii duo ha n’ije n’ehihie,
jirikwa ìhè sitere n’ọkụ ahụ, duo ha ogologo abalị niile.
15 Ọ gbawara oke nkume dị n’ọzara,
si otu a nye ha mmiri hiri nne, dịka a ga-asị na ọ bụ mmiri si n’ọtụtụ oke osimiri.
16 O mere ka mmiri iyi site na nkume gbapụta,
mee ka mmiri rudata dịka osimiri.

17 Ha nọgidere na-emehie megide ya.
Ha nupuru isi n’ọzara megide Onye kachasị ihe niile elu.
18 Ha kpachara anya nwaa Chineke ọnwụnwa,
mgbe ha rịọrọ ya nri nke obi ha chọrọ.
19 Ha kwuhiere Chineke;
jụọ ya ọnụ sị, “Chineke ọ pụrụ inye anyị
ezi nri na mmiri ọṅụṅụ n’ọzara a?
20 Ọ bụ ezie na o tiri nkume ahụ ihe,
mee ka mmiri sọpụta,
mmiri iyi sọpụtara n’ebe o hiri nne,
ma ọ pụrụ inye anyị nri?
Ọ pụrụ inye ndị ya anụ?”
21 Mgbe Onyenwe anyị nụrụ ihe ha kwuru, iwe were ya;
ọkụ ya repịara Jekọb,
iwe ọkụ ya biliri megide Izrel.
22 N’ihi na ha ekwenyeghị na Chineke,
maọbụ tụkwasị obi na nzọpụta ya.
23 N’agbanyeghị ihe ndị a, o nyere mbara eluigwe iwu
meghekwa ọnụ ụzọ niile nke eluigwe.
24 O mere ka mánà zokwasị ndị mmadụ a dịka mmiri, ka ha rie.
O nyere ha mkpụrụ ọka nke si n’eluigwe.
25 Ndị mmadụ tara achịcha ndị mmụọ ozi.
O zitere ha nri niile ha nwere ike iri.
26 O sitere n’eluigwe tọpụ ikuku nke ọwụwa anyanwụ,
o jikwa ike ya duo ikuku nke ndịda.
27 O zidatara ha anụ dị ukwuu dịka ọ bụ uzuzu,
anụ ufe ọnụọgụgụ ha dịka ọnụọgụgụ aja dị n’ala ọnụ oke osimiri.
28 O mere ka ụmụ anụ ufe ndị a daara ha n’ala n’etiti ọmụma ụlọ ikwu ha

nakwa gburugburu ụlọ ikwu ha.
29 Ha riri ihe tutu ruo mgbe ha enwekwaghị ike iri ọzọ,
n'ihi na o nyere ha ihe obi ha chọrọ.
30 Ha erisibeghị nri ahụ obi ha chọrọ,
anụ ụfọdụ dịkwa ha n'ọnụ,
31 mgbe iwe Chineke biliri imegide ha;
o tigburu ndị kachasị ike n'etiti ha,
tigbukwaa ụmụ okorobịa ndị Izrel.

32 Ma na-eleghị ihe ndị a anya, ha gakwara n'ihu na mmehie ha,
jụkwa ikwere n'ọrụ ebube niile Onyenwe anyị rụrụ.
33 O mere ka ụbọchị ndụ ha bụrụ ihe efu.
O mekwara ka afọ ha gwụsịa n'obi ọlụlọ mmiri.
34 Mgbe ọbụla Chineke tigburu ha, ha na-achọ ya;
ha na-alaghachi azụ, chọsie ya ike.
35 Ha na-echeta na Chineke bụ Oke nkume ha,
na Chineke nke kachasị ihe niile elu bụrụ ha Onye Mgbapụta.
36 Ma mgbe ahụ, ha ga-eji naanị okwu efu fee ya ofufe,
were ire ha na-aghara ya ụgha.
37 Obi ha ekwesịkwaghị ike nye ya.
Ha ekwesighị ntụkwasị obi nye ọgbụgba ndụ ya.
38 Ma o meere ha ebere.
Ọ gbaghara ha mmehie ha.
Ọ laghị ha n'iyi.
Ọtụtụ oge ka o jidere iwe ya.
Ọ kpalịkwaghị oke iwe ya.
39 N'ihi na o chetara na ha bụ naanị anụ ahụ nke o kere eke,
chetakwa na ha dịka ikuku nke na-adịghị alọghachi azụ mgbe ọ gabigasịrị.

40 Ọtụtụ oge ka ha nupuru isi megide ya n'ọzara;
ha kpasuru ya iwe n'ala ahụ tọgbọrọ n'efu.
41 Mgbe mgbe, ha nwara Chineke;
ha kpasuru Onye Nsọ nke Izrel iwe.
42 Ha echetaghị ike ya,
ụbọchị ahụ ọ gbapụtara ha site n'aka ndị na-emegbu ha;
43 n'ụbọchị o gosipụtara ihe ịrịbama niile n'ala Ijipt,
ọrụ ebube ya niile n'ọhịa Zoan.
44 O mere ka osimiri ha niile ghọọ ọbara.
Ha enwekwaghị ike ịṅụ mmiri si na ha.
45 O zigakwara igwe ijiji n'etiti ha, nke tara ha,
zitekwa awọ n'ala ha, nke bibiri ha.
46 O zitekwara ụmụ ụkpana ndị tachapụrụ mkpụrụ a kụrụ n'ubi ha,
zitekwa igurube nke ripịara ihe niile a gaara eweta dịka ihe ubi.
47 O ji oke mkpụrụ mmiri mebie osisi vaịnị ha,
jirikwa igirigi jụrụ oke oyi bibie osisi sikamọ ha niile.
48 O weere ehi ha niile nyefee mkpụrụ mmiri,
werekwa anụ ụlọ ha nyefee amụma egbe eluigwe.
49 O zipụrụ iwe ọkụ ya n'etiti ha,
oke iwe ya, na iwe ya, na mmeso nke iwe ya,
ndị mmụọ ozi na-ebibi ihe na-eleghị anya n'azụ.

50 O doziri ụzọ nke iwe ya ga-eso;
o gbochighị ka ha ghara ịnwụ;
kama o nyefere ndụ ha n’aka ọrịa na-efe efe.
51 O tigburu nwa ọbụla e bụ ụzọ mụọ n’ala Ijipt,
mkpụrụ mbụ nke ndị ikom n’ime ụlọ ikwu Ham.
52 Ma o dupụtara ndị nke ya dịka igwe atụrụ;
o duuru ha dịka atụrụ gafee ọzara.
53 O duuru ha n’udo, ụjọ atụkwaghị ha,
ma osimiri kpuchigidere ndị iro ha.
54 Otu a ka o si duru ha bịaruo n’oke ala nsọ ya,
ala ugwu ugwu ahụ nke aka nri ya nwetara.
55 Ọ chụpụrụ mba niile n’ihu ha,
tụọ ala ha kesara ha dịka ihe nketa;
o mere ka ebo niile nke Izrel biri n’ụlọ nke aka ha.

56 Ma ha nwara Chineke ọnwụnwa,
nupu isi megide Onye kachasị ihe niile elu;
ha edebeghị ụkpụrụ ya.
57 Dịka nna nna ha, ha bụ ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi, na ndị aghụghọ,
ha dịka ụta a na-ekweghị nke ọma.
58 N’ihi ebe nchụaja ha wuru, ha mere ka iwe wee ya;
sitekwa n’arụsị ha pịrị apị, ha kpaliri ekworo ya.
59 Mgbe Chineke nụrụ ha, iwe were ya nke ukwuu.
Ọ jụrụ ndị Izrel kpamkpam.
60 Ọ gbakụtara ụlọ nzute ya nke dị na Shaịlo* azụ,
ụlọ ikwu ahụ ọ mara n’etiti ndị mmadụ.
61 O nyefere igbe ọgbụgba ndụ ike ya ka a dọta ya n’agha,
o nyefekwara onye iro ahụ ebube ya n’aka.
62 O kwere ka e gbuo ndị ya n’agha;
iwe ya dị ọkụ megide ihe nketa ya.
63 Ọkụ repịara ụmụ okorobịa ha,
ọ dịkwaghị onye a gụụrụ egwu ọlụlụ di na nwunye, n’etiti ụmụ agbọghọ ha;
64 E gburu ndị nchụaja ha n’agha;
ndị inyom ha ndị di ha nwụrụ enwekwaghị ike iru ụjụ.

65 Mgbe ahụ, onyenwe anyị tetara dịka onye si n’ụra teta,
dịka dike si n’ụra mmanya teta.
66 Ọ chụghachiri ndị iro ya azụ,
mee ha ihe ihere nke ga-adịgide ruo ebighị ebi.
67 Ọ jụrụ ụlọ ikwu Josef,
ọ họpụtaghị ebo Ifrem;
68 ma ọ họọrọ ebo Juda,
na ugwu Zayọn, nke ọ hụrụ n’anya.
69 O wuru ụlọnsọ ya ka ọ dị ka ebe dị elu,
dịka ụwa nke o mere ka o guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi.
70 Ọ họpụtara Devid, ohu ya,
kpọrọ ya site n’ọgba igwe atụrụ;

* **Abụ Ọma 78:60** 78:60 Shaịlo dị n’oke ala ebo Ifrem, n’etiti Betel na Shekem. Ọ bụ ala nsọ ochie n’oge Joshua, ebe ụmụ Izrel dọbara igbe ọgbụgba ndụ ahụ tutu ruo n’oge Samuel. Ma ndị Filistia mesịrị bibie obodo a.

71 o si n’ebe ọ nọ na-azụ atụrụ kpọrọ ya,
ka ọ bịa bụrụ onye na-azụ ndị ya Jekọb,
na Izrel, ihe nketa ya dịka atụrụ.
72 Devid ji izuoke nke obi ya zụọ ha,
aka nke maara ihe ọ na-eme ka o ji duo ha.

# Abụ Ọma 79

Abụ Ọma Asaf.

*Akwa n’ihi mbibi Jerusalem*

1 O Chineke, mba dị iche iche abatala n’ihe nketa gị;
ha emerụọla ụlọnsọ ukwuu gị,
ha etikpọọla Jerusalem, mee ka ọ tọgbọrọ n’efu.
2 Ha ewerela ozu ndị ohu gị nye anụ ufe niile nke eluigwe
ka ọ bụrụ ihe oriri nye ha,
werekwa ozu nke ndị nsọ gị nye anụ ọhịa niile nke ụwa.
3 Ha awụpụla ọbara dịka mmiri
n’akụkụ niile nke Jerusalem,
ọ dịghị otu onye fọdụrụ nke ga-eli ndị nwụrụ anwụ.
4 Anyị aghọọla ihe ịta ụta n’ebe ndị agbataobi anyị nọ,
ghọọkwara ndị gbara anyị gburugburu ihe ịchị ọchị, na ihe ịkwa emo.

5 O ONYENWE ANYị, ruo olee mgbe? Ị ga-ewe iwe ruo mgbe ebighị ebi?
Ruo olee mgbe ka ekworo gị ga na-ere dịka ọkụ?
6 Wụkwasị mba niile ndị na-amaghị gị
dịka Chineke oke iwe gị,
bụ alaeze niile ndị ahụ
na-adịghị akpọku aha gị;
7 n’ihi na ha eripịala Jekọb
mekwaa ka ebe obibi ya tọgbọrọ n’efu.

8 Atala anyị ahụhụ mmehie nke nna nna anyị mere;
ka ebere gị bịa ngwangwa zute anyị,
n’ihi na anyị nọ n’ọnọdụ oke mkpa.
9 Nyere anyị aka, O Chineke, Onye Nzọpụta anyị,
n’ihi ebube nke aha gị;
napụta anyị, gbaghara mmehie anyị niile
n’ihi aha gị.
10 Gịnị mere ndị mba ọzọ ji na-ajụ ajụjụ sị,
“Olee ebe Chineke ha nọ?”

N’ihu anyị, mee ka a mara n’etiti ndị mba ọzọ,
na ị na-abọ ọbọ ọbara ndị ohu gị niile a wufuru.
11 Gee ntị n’ịsụ ude nke ndị nọ n’ụlọ mkpọrọ;
site n’ike nke aka gị chebe ndị niile a mara ikpe ọnwụ.
12 Bọọ ọbọ ugboro asaa megide ndị agbataobi anyị
n’ihi ụta ha tara gị, O Onyenwe anyị.
13 Mgbe ahụ, anyị bụ ndị gị, ụmụ igwe atụrụ gị
ga-eto gị ruo mgbe niile ebighị ebi;
anyị ga na-ekwupụta otuto gị,
site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ.

# Abụ Ọma 80

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi Abụ. Ọ bụ olu abụ eji ekwe "Okoko lili nke Ọgbụgba Ndụ" Abụ Ọma nke Asaf.

*Ekpere maka nnapụta*

1 Nụrụ olu anyị, O Onye ọzụzụ atụrụ nke Izrel,
gị onye na-edu Josef dịka igwe atụrụ.
Gị onye na-anọdụ dịka eze, n'etiti cherubim,
nwupụta Ìhè 2 n'ihu Ifrem, Benjamin na Manase.*
Kpọtee ịdị ike gị,
bịa zọpụta anyị.

3 O Chineke, kpọghachi anyị azụ,
mee ka ihu gị nwukwasị anyị,
ka e nwee ike ịzọpụta anyị.

4 O Onyenwe anyị, Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile
ruo ole mgbe ka iwe gị ga-adị ọkụ
megide ekpere ndị gị?
5 I jirila anya mmiri dịka a ga-asị na ọ bụ achịcha zụọ ha nri;
i meela ka ha ṅụọ anya mmiri n'ihe ọtụtụ.
6 I meela ka anyị bụrụ ihe na-eweta esemokwu n'etiti ndị agbataobi anyị,
ndị iro anyị na-achịkwa anyị ọchị.

7 O Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile, kpọghachi anyị azụ,
mee ka ihu gị nwukwasị anyị,
ka e nwee ike ịzọpụta anyị.

8 I sitere n'ala Ijipt wepụta osisi vaịnị;
ị chụpụrụ mba ndị ọzọ, kụọ ya.
9 Ị sụchaara ya ala,
mgbọrọgwụ ya bara n'ime ala nke ọma, o jupụtakwara ala ahụ niile.
10 Ndo ya kpuchiri ugwu niile,
alaka ya gbasara kpuchie osisi sida ukwu sida.
11 Ọ wasaala alaka ya ruo oke osimiri
wasaakwa ume ya ruo osimiri.†

12 Gịnị mere i ji tiwasịa mgbidi ya niile
si otu a mee ka ndị niile na-agafe ghọrọ mkpụrụ ya?
13 Oke ezi si n'oke ọhịa na-emebisi ya,
ụmụ ahụhụ si n'ọhịa dị iche iche na-ejikwa ya emere ihe oriri.
14 Lọghachikwute anyị, O Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile.
Si n'eluigwe ledata anya ma hụ!
Letakwa osisi vaịnị a,
15 mgbọrọgwụ nke aka nri gị kụrụ,
ọkpara nke ị zụlitere nye onwe gị.

---

* **Abụ Ọma 80:2** 80:2 Ebo atọ ndị a bụ ụmụ ụmụ Rechel, bụ ndị soo igbe ọgbụgba ndụ ahụ n'azụ mgbe ndị Izrel na-ala n'ala nkwa ahụ. † **Abụ Ọma 80:11** 80:11 Eleghị anya osimiri ndị a bụ osimiri Mediterenịa na Yufretis. N'oge ọchịchị eze Devid na Solomọn, alaeze ha kwụsịrị n'osimiri abụọ ndị a.

16 E gbutuola osisi vaịnị gị, e ji ọkụ repịa ya;
mgbe ị bara mba, ndị gị na-ala n'iyi.
17 Ka aka gị dịkwasị nwoke ahụ nọ n'aka nri gị,
nwa nke mmadụ onye ị zụlitere nye onwe gị.
18 Mgbe ahụ, anyị agaghị esikwa n'ebe ị nọ laghachi azụ;
tutee anyị, anyị ga-akpọkukwa aha gị.

19 Kpọghachi anyị azụ, O ONYENWE ANYỊ, Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile
mee ka ihu gị nwukwasị anyị,
ka e nwee ike zọpụta anyị.

# Abụ Ọma 81

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi Abụ. Abụ nke Asaf n'usoro gittit.

*Ịdị mma nke Chineke*

1 Bụkuo Chineke bụ ike anyị abụ ọṅụ,
tikusie Chineke Jekọb mkpu ike!
2 Bidonụ iti egwu, kụọ ihe iti egwu,
kpọọnụ ụbọ akwara na-enye abụ ụtọ na une.

3 Fụọnụ opi ike n'oge ọnwa ọhụrụ,
na mgbe ọnwa gbapụtara n'uju ya, n'ụbọchị mmemme anyị;
4 nke a bụ iwu dịrị Izrel,
ụkpụrụ Chineke nke Jekọb.
5 O mere ka o guzosie ike dịka iwu nye Josef
mgbe ọ pụrụ imegide Ijipt.

Anụkwara m olu n'asụsụ nke m na-amaghị, ka ọ na-asị:

6 "Ewezugala m ibu arọ site n'ubu ha;
aka ha abụọ nwere onwe ha site n'ịrụ ọrụ.
7 N'ime ihe mgbu unu, unu kpọrọ oku, anapụtara m unu,
azara m unu site n'egbe eluigwe;
anwara m unu na mmiri nke Meriba.
Sela

8 "Nụrụnụ, ndị m, aga m adọ unu aka na ntị,
a sịkwarị na unu ga-ege m ntị, unu ndị Izrel!
9 Unu agaghị enwe chi ndị mba ọzọ n'etiti unu;
unu agaghị akpọkwa isiala nye chi si ala ọzọ.
10 Abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu,
onye kpọpụtara unu site n'ala Ijipt.
Meghe ọnụ unu ka ọ saa mbara, aga m emeju ya.

11 "Ma ndị m ekweghị ige m ntị.
Izrel emekwaghị dịka m gwara ha.
12 Ya mere, ahapụrụ m ha na ndụ isiike ha,
ka ha soro nchepụta nke echiche ha.

13 "Ewoo, a sị na ndị m gaara ege m ntị,
a sịkwa na Izrel ga-eso ụzọ m niile.

14 Ọ gaghị adị anya mgbe m ga-eji ike m, wezuga ndị iro ya site n'ọnọdụ ha.
Aga m eweli aka m, megide ndị iro ya niile.
15 Ndị niile kpọrọ ONYENWE ANYỊ asị, ga-ada n'ihu ya n'ụjọ.
Ịta ahụhụ ha ga-adịgidekwa, ruo ebighị ebi.
16 Ma a ga-eji ụtụ ọka wiiti kachasị mma, nyejuo unu afọ;
aga m ejikwa mmanụ aṅụ nke sitere n'oke nkume, nyejuo unu afọ."

# Abụ Ọma 82

Abụ Ọma Asaf.

*Chineke onye ikpe kachasị ndị ikpe*

1 Chineke na-ewere ọnọdụ ịchị isi n'etiti ọgbakọ dị ukwuu;
ọ na-ekpebi ikpe n'etiti chi niile.

2 Ruo ole mgbe ka unu ga-anọgide na-ekpe ikpe na-ezighị ezi?
Ruo ole mgbe ka unu ga na-egosi ndị ajọ omume ihuọma?
Sela

3 Kperenụ ndị na-adịghị ike na ndị na-enweghị nna ikpe ziri ezi;
hụnụ na ndị ogbenye na ndị a na-emegbu nwetara ihe ruuru ha.
4 Gbapụtanụ ndị na-adịghị ike na ndị nọ na mkpa;
napụta ha site n'aka ndị ajọ omume.

5 Ha* amaghị ihe ọbụla, ha aghọtaghị ihe ọbụla.
Ha na-ejeghari n'ọchịchịrị;
ntọala niile nke ụwa na-ama jijiji.

6 "Asịrị m, 'Unu bụ "chi,"
unu niile bụ ụmụ ndị ikom nke Onye kachasị ihe niile elu.'
7 Ma unu ga-anwụ ọnwụ dịka mmadụ ndị ọzọ;
unu ga-ada dịka ndị ọchịchị ọzọ."

8 O Chineke, bilie kpee ụwa ikpe,
n'ihi na mba niile bụ ihe nketa gị.

# Abụ Ọma 83

Abụ, bụ Abụ Ọma Asaf.

*Ekpere maka mmeri*

1 O! Chineke agbachikwala nkịtị.
Biko, Chineke, ahapụkwala ikwu okwu,
anọkwala jụụ.
2 Lee na ndị iro gị nọ na-ebigbọ,
ndị kpọrọ gị asị na-eweli isi ha.
3 Ha ji aghụghọ na-agba izu imegide ndị gị;
ha na-atụ atụmatụ ọjọọ megide ndị ị hụrụ n'anya.
4 Ha na-asị, "Bịanụ ka anyị laa mba a n'iyi,
ka a ghara ichetakwa aha Izrel ọzọ."

5 Ha ji otu obi na-agbarịta izu;
ha agbaala ndụ imegide gị,

---

* **Abụ Ọma 82:5** 82:5 Maọbụ, chi ndị a

6 ụlọ ikwu niile nke ndị Edọm, na ndị Ishmel,
na ndị Moab, na ndị Haga,
7 na ndị Gebal, na ndị Amọn, na ndị Amalek,
na ndị Filistia, ha na ndị Taịa.
8 Ọ bụladị ndị Asịrịa esorokwala ha,
ịgba ndị agbụrụ Lọt ume.

Sela

9 Mee ha dịka i si mee ndị Midia,
na dịka i mere Sisera na Jabin,* n'akụkụ iyi Kishọn,
10 ndị lara n'iyi n'Endoa
ma ghọọ ihe dịka nsị anụ e kpofuru ekpofu n'ala.
11 Mee ka ndị ọgaranya ha dịka Oreb na Zeeb,†
ka ụmụ ndị ikom eze ha niile dịka Zeba na Zalmuna,
12 ndị sịrị, "Ka anyị nwetara onwe anyị,
ebe ịta nri ụmụ anụmanụ niile nke Chineke."

13 O Chineke m, mee ha ka dịka ahịhịa ifufe na-efegharị gburugburu,
maọbụ dịka igbugbo ọka n'ebe ifufe dị.
14 Dịka ọkụ na-erepịa oke ọhịa,
maọbụ nke na-ere n'elu ugwu,
15 si otu a were oke ifufe chụọ ha ọsọ,
jiri oke ifufe nke na-eso mmiri ozuzo mee ka ha nọrọ n'ọnọdụ obi ọlụlọ mmiri.
16 Were ihere kpuchie ha ihu,
ka ndị mmadụ si otu a chọọ aha gị, O ONYENWE ANYỊ.

17 Ka ha nọdụ n'ọnọdụ ihere na ịda mba mgbe niile;
ka ha laa n'iyi n'ọnọdụ mweda n'ala.
18 Mee ka ha mata na gị, onye aha ya bụ ONYENWE ANYỊ,
na ọ bụ naanị gị bụ Onye kachasị ihe niile elu n'ụwa niile.

# Abụ Ọma 84

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi Abụ. Abụ Ọma ụmụ Kora n'usoro gittit.

*Agụụ nke ụlọnsọ Chineke*

1 Lee ka ebe obibi gị sị maa mma,
O ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile!
2 Ọ na-agụsị mkpụrụobi m agụụ ike, e mkpụrụobi m na-adakwa mba,
ịbata n'ogige ONYENWE ANYỊ;
mkpụrụobi m na anụ ahụ m na-eti mkpu
na-achọ Chineke dị ndụ.
3 Ọ bụladị ụmụ nnụnụ nta nke eluigwe, achọtala ebe obibi;
eleke achọtakwarala onwe ya akwụ,
ebe ọ ga na-edebe ụmụ ya,
n'akụkụ ebe ịchụ aja nsọ gị,
O ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, Eze m na Chineke m.
4 Ndị a gọziri agọzi ka ndị bi n'ụlọ gị bụ;
ha na-eto gị mgbe niile.

* **Abụ Ọma 83:9** 83:9 Eze Jabin na nwa ya Sisera, bụ ndị Debọra meriri n'agha n'ugwu Taboa. Nkp 4:15-24; 5:20-21. † **Abụ Ọma 83:11** 83:11 Ha bụ ndị eze, bụrụkwa ndị ọchịagha ndị Midia. Ha so na ndị Gidiọn meriri n'agha, Nkp 7:25

Sela

5 Ndị a gọziri agọzi ka ha bụ, bụ ndị ike ha nwere dị na gị,
ndị kpebiri n'obi ha ịga njem.
6 Mgbe ha na-esite na Ndagwurugwu Baka na-agafe,
ha na-eme ya ka ọ bụrụ ebe isi iyi dị iche iche na-asọpụta;
mmiri ozuzo mbụ na-ewere ngọzị niile kpuchie ya.*
7 Ike ha na-abawanye abawanye,
tutu ha niile n'otu na otu, abịa guzo n'ihu Chineke na Zayọn.

8 O ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, nụrụ ekpere m.
Gee m ntị, gị Chineke nke Jekọb.
9 Lekwasị anya n'ọta anyị, O Chineke,
jiri ihuọma lekwasị onye gị e tere mmanụ anya.

10 Otu mkpụrụ ụbọchị a nọrọ n'ime ogige gị,
karịrị puku ụbọchị a nọrọ ebe ọzọ;
ọ ga-akara m mma ịbụ onye nche n'ọnụ ụzọ ụlọnsọ Chineke m,
karịa ibi n'ụlọ ikwu nke ndị ajọ omume.
11 ONYENWE ANYỊ Chineke bụ anyanwụ† na ọta;
Onyenwe anyị na-enye ihuọma na nsọpụrụ;
ọ naghị egbochi ihe ọma ọbụla
site n'ebe ndị na-eje ije n'izuoke nọ.

12 O ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
ngọzị na-adịrị ndị niile na-atụkwasị gị obi.

# Abụ Ọma 85

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi Abụ. Abụ Ọma ụmụ Kora.

*Ekpere maka ihuọma*

1 O ONYENWE ANYỊ, i gosila ala gị ihuọma;
i nyeghachila Jekọb akụnụba ya.
2 I gbagharala ajọ omume ndị gị,
kpuchikwaa mmehie ha niile.

Sela

3 Ị kwụsịla iwe oke iwe gị,
I sikwala n'ịdị ọkụ nke iwe gị chigharịa.

4 Kpọghachi anyị azụ, O Chineke, Onye Nzọpụta anyị,
wezuga iwe gị site n'ebe anyị nọ.
5 Ọ bụ ruo mgbe ebighị ebi, ka ị ga na-eweso anyị iwe:
Ị ga-eme ka iwe gị dịgide ruo ọgbọ niile?
6 Ị gaghị eme ka anyị dịkwa ndụ ọzọ
ka ndị gị ṅụrịa ọṅụ n'ime gị?
7 O ONYENWE ANYỊ, gosi anyị ịhụnanya gị nke na-adịgide,
nyekwa anyị nzọpụta gị.

8 Aga m ege ntị mara ihe Chineke, onye bụ ONYENWE ANYỊ ga-ekwu;

* **Abụ Ọma 84:6** 84:6 Na-ewere ọdọ mmiri kpuchie ya † **Abụ Ọma 84:11** 84:11 Aịz 60:19,20; Mkp 21:23

ọ na-ekwe ndị ya, ndị nsọ ya nkwa udo,
ma ka ha ghara ịlọghachi na nzuzu.
9 N’ezie, nzọpụta ya dị nso* ndị na-atụ egwu ya,
ka ebube ya si otu a dịgide n’ala anyị.

10 Ịhụnanya na ikwesi ntụkwasị obi ezukọtala;
ezi omume na udo esutula ọnụ.
11 Ikwesi ntụkwasị obi ga-esite n’ala pupụta,
ezi omume ga-esite n’eluigwe ledata anya.
12 N’ezie, ONYENWE ANYỊ ga-enye ihe dị mma,
ala anyị ga-amịkwa mkpụrụ ubi ya.
13 Ezi omume ga-aga n’ihu ya,
idoziri ya ụzọ ọ ga-esi gaa.

# Abụ Ọma 86

Ekpere Devid.

*Ekpere maka enyemaka*

1 Gee m ntị, O ONYENWE ANYỊ, ma zakwa m,
n’ihi na abụ m ogbenye na onye nọ na mkpa.
2 Chebe ndụ m, n’ihi na m na-erubere gị isi;
zọpụta ohu gị onye nke na-atụkwasị gị obi.
Ị bụ Chineke m; 3 meere m ebere, O Onyenwe m,
n’ihi na ana m akpọku gị ogologo ụbọchị niile.
4 Wetara ohu gị ọṅụ, n’ihi na ọ bụ gị, O Onyenwe m,
ka m na-eweliri mkpụrụobi m.

5 Ị bụ onye na-agbaghara ajọ omume na onye dị mma, O Onyenwe m,
i jupụtara n’ịhụnanya nye ndị niile na-akpọku gị.
6 O ONYENWE ANYỊ, nụrụ ekpere m;
gekwaa ntị n’akwa arịrịọ m maka ebere.
7 N’ụbọchị nsogbu m, aga m akpọku gị,
n’ihi na ị ga-aza m.

8 N’etiti chi niile, i nweghị oyiri, O Onyenwe m;
ọ dịghị ọrụ ebube ọbụla a pụrụ ị sị na ọ dị ka nke ị na-arụ.
9 Mba niile i kere ga-abịa n’ihu gị,
fee gị ofufe, O Onyenwe anyị;
ha ga-ebutere aha gị ebube.
10 N’ihi na ị dị ukwuu na-arụkwa ọrụ ebube dị iche iche;
ọ bụ naanị gị bụ Chineke.

11 Kuziere m ụzọ gị, O ONYENWE ANYỊ,
ka m dabere n’ikwesị ntụkwasị obi gị;
nye m obi na-adịghị agba abụọ,
ka m nwee ike tụọ egwu aha gị.
12 Aga m eji obi m niile too gị, O Onyenwe anyị, na Chineke m;
aga m ebulikwa aha gị elu ruo mgbe niile ebighị ebi.
13 N’ihi na ịhụnanya gị n’ebe m nọ dị ukwuu;
i sitela n’omimi nke dị ala

* **Abụ Ọma 85:9** 85:9 Aịz 46:13

site n’ala ndị nwụrụ anwụ dọpụta m.

14 O Chineke, ndị mpako na-emegide m;
otù ndị mmadụ na-eme ihe ike na-achọ igbu m,
ha bụ ndị na-ejighị gị kpọrọ ihe ọbụla.
15 Ma gị, Onyenwe anyị, ị bụ Chineke onye ọmịiko na onye amara,
iwe adịghị ewe gị ngwangwa, i jupụtara n’ịhụnanya na ikwesi ntụkwasị obi.
16 Chee m ihu, mekwaara m amara.
Nye ohu gị ike gị,
zọpụtakwa nwa ohu gị nwanyị
n’ihi na m na-ejere gị ozi.
17 Gosi m ihe ịrịbama nke ga-egosipụta ịdị mma gị,
ka ndị iro m hụ ya si otu a bụrụ ndị ihere ga-eme,
n’ihi na gị, O ONYENWE ANYỊ, nyere m aka ma kasịekwa m obi.

# Abụ Ọma 87

Abụ Ọma ụmụ Kora. Otu Abụ.

*Abụ maka Zayọn*

1 Chineke atọọla ntọala ya n’elu ugwu nsọ ahụ;
2 ONYENWE ANYỊ hụrụ ọnụ ụzọ ama Zayọn n’anya,
karịa ebe obibi niile nke Jekọb.

3 Ihe dị iche iche nke dị ebube ka a na-ekwu banyere gị,
O obodo Chineke;
Sela
4 “Aga m agụnye Rehab na Babilọn,
dịka ndị na-asọpụrụ m,
aga m agụnyekwa ndị Filistia, na ndị Taịa, na ndị Kush,
aga m asị, ‘A mụrụ nke a na Zayọn.’ ”
5 N’ezie, a ga-ekwu okwu banyere Zayọn sị,
“A mụrụ nke a na nke ọzọ n’ime ya,
ya onwe ya, bụ Onye kachasị ihe niile elu, ga-eme ka o guzosie ike.”
6 ONYENWE ANYỊ ga-ede n’ime akwụkwọ usoro nke ndị mmadụ:
“A mụrụ onye a na Zayọn.”

7 Dịka ha na-eti egwu, ha ga-abụ abụ sị,
“Isi iyi m niile dị na gị.”

# Abụ Ọma 88

Abụ, bụ Abụ Ọma ụmụ Kora, nke dịrị onyeisi Abụ. N’usoro olu abụ *Mahalat leannot.* Abụ *Maskil* nke Heman onye Ezra.

*Akwa maka enyemaka*

1 O ONYENWE ANYỊ, Chineke onye na-azọpụta m,
n’ehihie na abalị ka m na-eti mkpu akwa n’ihu gị.
2 Ka ekpere m bịa n’ihu gị.
Chee ntị gị nụrụ akwa m.

3 N’ihi na ọtụtụ nsogbu ejupụtala mkpụrụobi m,
anọ m nso n’ọnụ ụzọ ọnwụ.
4 Agụnyela m n’etiti ndị na-arịda n’olulu.

Adị m dịka onye na-enweghị ike.
5 A họpụtara mụ na ndị nwụrụ anwụ iche,
dịka ndị e gburu egbu na-edina n’ili,
ndị ị nakwaghị echeta ọzọ,
ndị e kewapụrụ site na nlekọta gị.

6 Ị tụbanyela m n’ime olulu dịkarịrị omimi,
olulu nke ọchịchịrị jupụtara n’ime ya.
7 Oke iwe gị na-anyịgide m nke ukwuu;
i jirila ebili mmiri gị niile kpuchigide m.

Sela

8 Ị napụla m ndị enyi m, ndị m hụrụ n’anya,
mee ka m bụrụ ihe a na-asọ oyi n’ebe ha nọ.
Abụ m onye emechibidoro ụzọ; nke n’enweghị ike ịpụ ezi;
9 anya m adịghị ahụkwa ụzọ n’ihi iru ụjụ.

O Onyenwe anyị, ụbọchị niile ka m na-akpọku gị;
ana m agbasa aka m abụọ n’ihu gị,
10 ọ bụ ndị nwụrụ anwụ ka ị na-egosi ọrụ ebube gị?
Ndị nwụrụ anwụ, ha na-ebili too gị?

Sela

11 Ọ bụ n’ime ili ka a na-ekwupụta ịhụnanya gị?
A na-ekwupụta ikwesi ntụkwasị obi gị n’ebe ịla n’iyi?
12 A na-amata banyere ọrụ ebube gị n’ebe ọchịchịrị dị?
Ma ọ bụ ọrụ ezi omume gị, na ịdị mma gị niile n’ala ndị e chezọrọ echezọ?

13 Ma Onyenwe anyị m, ọ bụ gị ka m na-akpọku.
Ụtụtụ niile ka ekpere m ga na-abịa n’ebe ị nọ.
14 O Onyenwe anyị, gịnị mere i jiri jụ m?
Gịnị mekwara i jiri zonarị m ihu gị?

15 Site na mgbe okorobịa m, abụ m onye a na-esogbu, onye nọkwa ọnwụ nso;
ataala m ahụhụ oke ụjọ gị, anọ m n’ọnọdụ ịda mba.
16 Oke iwe gị agabigala n’ahụ m;
ihe egwu gị alaala m n’iyi.
17 Ha na-agba m gburugburu ụbọchị niile dịka idee mmiri;
ha gbara m gburugburu n’akụkụ niile.
18 Ị napụla m ndị enyi m na ndị m hụrụ n’anya;
ọchịchịrị bụ enyi m nọkarịsịrị m nso.

# Abụ Ọma 89

Abụ *maskil* nke Etan, onye Ezra.

### *Ọgbụgba ndụ Chineke na Devid*

1 Aga m abụ abụ banyere oke ịhụnanya Onyenwe anyị ruo mgbe ebighị ebi;
aga m eji ọnụ m mee ka ọgbọ niile mara
maka ikwesi ntụkwasị obi gị.
2 Aga m ekwupụta na ịhụnanya gị na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi;
na i mere ka ikwesi ntụkwasị obi gị, guzosie ike n’eluigwe.
3 Onyenwe anyị sịrị, “Mụ na onye m họpụtara agbaala ndụ.
Aṅụọkwala m iyi nye ohu m Devid sị,

4 ‘Aga m eme ka agbụrụ gị guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi
meekwa ka ocheeze gị dịgide ruo ọgbọ niile.’ ”
Sela

5 O ONYENWE ANYỊ, eluigwe na-eto ọrụ ebube gị niile,
na ikwesi ntụkwasị obi gị, n’etiti nzukọ ndị dị nsọ.
6 N’ihi, ọ bụ onye n’eluigwe niile, ka a ga-eji tụnyere ONYENWE ANYỊ?
Onye yiri ONYENWE ANYỊ n’etiti ndị mmụọ ozi niile?
7 Na nzukọ ndị nsọ, Chineke bụ onye a na-atụ oke egwu;
ọ dị oke egwu karịa ndị niile gbara ya gburugburu.
8 O ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile, onye dịka gị?
Gị, O ONYENWE ANYỊ, dị ike nke ukwuu, ikwesi ntụkwasị obi gị na-agba gị gburugburu.

9 Ị na-achị osimiri nke ji ike na-asọ;
mgbe ebili mmiri ya na-amali elu; i na-eme ka ha dajụọ.
10 Ị zọpịara Rehab dịka otu n’ime ndị ahụ e gburu egbu;
jiri aka gị dị ike chụsasịa ndị iro gị.
11 Ọ bụ gị nwe eluigwe; gị nwekwa ụwa,
ọ bụ gị tọrọ ntọala elu ụwa dum, na ihe niile dị n’ime ya.
12 Ọ bụ gị kere ugwu na ndịda;
Taboa na Hemon na-abụ abụ ọṅụ n’ihi aha gị.
13 Aka gị ka e mejupụtara n’ike;
aka gị dị ike, a na-ebuli aka nri gị elu.

14 Ezi omume na ikpe ziri ezi, bụ ntọala ocheeze gị;
ịhụnanya na ikwesi ntụkwasị obi, na-aga n’ihu gị.
15 Ndị a gọziri agọzi ka ndị ahụ bụ ndị na-eji olu iti mkpu ọṅụ na-abụku gị abụ,
ndị na-ejegharịkwa n’ìhè nke ihu gị, O ONYENWE ANYỊ.
16 Ha na-aṅụrị ọṅụ n’aha gị ogologo ụbọchị niile;
ha na-aṅụrị n’ezi omume gị.
17 N’ihi na ị bụ ebube na ike ha,
site n’ihuọma gị, ị na-ebuli mpi anyị elu.
18 N’ezie, ọta anyị bụ nke ONYENWE ANYỊ,
eze anyị bụkwa nke Onye nsọ Izrel.

19 I kwuru okwu otu mgbe site n’ọhụ,
nye ndị gị kwesiri ntụkwasị obi sị:
“Enyela m otu onye dị ike agha ike;
Ebuliela m otu nwa okorobịa elu site n’etiti ndị m.
20 Achọtala m Devid ohu m,
were mmanụ nsọ m tee ya.
21 Aka m ga-agba ya ume;
n’ezie, aka m ga-eme ka ọ dị ike.
22 Ọ dịghị onye iro ga-abịakwasị ya, na mberede;
ọ dịghị onye ajọ omume ga-emegbu ya.
23 Aga m etigbu ndị iro ya niile n’ihu ya.
Aga m emekwa ka ndị niile na-akpọ ya asị laa n’iyi.
24 Ịhụnanya m kwesiri ntụkwasị obi ga-adịnyere ya,
site n’aha m, a ga-ebuli mpi ya elu.

25 M ga-edo aka ya n’oke osimiri,*
dokwaa aka nri ya n’osimiri niile.†
26 Ọ ga-akpọ m sị m, ‘Ị bụ Nna m,
bụrụkwa Chineke m, na oke Nkume nzọpụta m.’
27 Aga m eme ya nwa mbụ m,
onye kachasị dị elu n’ebe eze niile nke ụwa nọ.
28 Aga m eme ka ịhụnanya m nwere n’ebe ọ nọ dịgide ruo ebighị ebi,
ọgbụgba ndụ mụ na ya ga-adịgidekwa.
29 Aga m eme ka agbụrụ ya guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi,
ocheeze ya ga-adịgidekwa dịka eluigwe na-adịgide.

30 “Ọ bụrụ na ụmụ ya elefuo iwu m niile anya,
gharakwa ijeghari n’ụzọ m niile,
31 ọ bụrụ na ha elelịa ụkpụrụ m niile anya,
hapụkwa idebe ihe m nyere ha n’iwu,
32 aga m eji mkpọrọ taa ha ahụhụ maka mmehie ha,
tikwaa ha ụtarị maka njehie ha;
33 ma agaghị m ewezuga ịhụnanya m, n’ebe ha nọ.
Ma ọ bụ laa azụ n’ikwesị ntụkwasị obi m.
34 Agaghị m emerụ ọgbụgba ndụ m.
Agakwaghị m agbanwe ihe ọbụla siterela n’ọnụ m pụta.
35 Ejirila m ịdị nsọ m ṅụọ iyi, kpebie
na m apụghị ịghara Devid ụgha,
36 na agbụrụ ya ga-adịgide ruo mgbe ebighị ebi,
ocheeze ya ga-adịgidekwa n’ihu m ka anyanwụ na-adịgide.
37 Ọ ga-adịgide ruo ebighị ebi dịka ọnwa.
E, dịka ọnwa ahụ, onye akaebe m kwesiri ntụkwasị obi na mbara eluigwe.”
Sela

38 Ma ị jụla, i werela nlelị jụkwa,
i na-ewe iwe dị ukwu megide onye gị e tere mmanụ.
39 Ị jụla ọgbụgba ndụ gị na ohu gị gbara
i merụọla okpueze ya n’ime ntụ dị n’ala.
40 Ị kụtuola mgbidi gbara ya gburugburu,
i meela ka ebe ya niile e wusiri ike bụrụ ihe dapịara adapịa.
41 Ndị niile si ụzọ ahụ na-agafe, ezuruchaala ihe niile o nwere.
Ndị agbataobi ya na-akwakwa ya emo.
42 I meela ka aka nri ndị iro ya dị elu;
mekwaa ka ndị iro ya ṅụrịa ọṅụ.
43 I meela ka aka o ji jide mma agha ya sụọ ngọngọ,
i nyereghị ya aka mgbe agha dara.
44 I meela ka ịma mma ya gwụsịa.
Ị tụdakwala ocheeze ya n’ala.
45 I meela ka ụbọchị ndụ nke okorobịa ya dị mkpụmkpụ.
I ji ihere dịka akwa kpuchie ya.

46 Ruo ole mgbe Onyenwe anyị, ka ị ga-ezonarị onwe gị?

* **Abụ Ọma 89:25** 89:25 Ọ ga-achị oke osimiri na osimiri niile † **Abụ Ọma 89:25** 89:25 Oke osimiri na osimiri niile a na-ekwu banyere ha n’ebe a, bụ osimiri Mediterenịa na Yufretis, na osimiri ndị ọzọ niile na-asọbanye n’ime ha. Oke ala ochie ahụ e kwere Devid na Solomọn na nkwa jedebere n’osimiri ndị a.

Ruo ole mgbe ka iwe gị dị ukwuu ga-eregide dịka ọkụ?
47 Cheta, na ndụ m bụ ihe na-agafe ngwangwa.
N'ihi ihe efu gịnị ka i ji kee mmadụ niile!
48 Olee onye ahụ nwere ike ịdị ndụ ghara ịhụ ọnwụ anya,
maọbụ zọpụta onwe ya site n'ike nke ili‡?
Sela
49 O Onyenwe anyị, olee ebe oke ịhụnanya mbụ dị,
nke i sitere n'ikwesị ntụkwasị obi gị ṅụọrọ Devid n'iyi?
50 Onyenwe m, cheta otu e si leda ndị ohu gị anya,
otu m si anagide n'ime obi m ịchị ọchị niile nke ndị mba niile.
51 O ONYENWE ANYị, ịchị ọchị nke ndị iro gị ji akwa m emo,
nke ha ji lelịa nzọ ụkwụ niile nke onye gị i tere mmanụ.

52 Otuto dịrị ONYENWE ANYị ruo mgbe ebighị ebi.
Amen na Amen.

# Nchịkọta nke anọ

## 90

*Abụ Ọma 90–106*

Ekpere Mosis, bụ onyeozi Chineke.

*Ebighị ebi Chineke na ịdị mkpụmkpụ nke ndụ mmadụ*

1 O Onyenwe anyị, ebe obibi ka gị onwe gị bụrịị nye anyị
n'ọgbọ niile.
2 Tupu e kee ugwu niile,*
na tupu a kpụọ ụwa na elu ụwa,
siterị na mgbe ebighị ebi ruo ebighị ebi, ị bụ Chineke.

3 Ị na-eme ka mmadụ laghachi bụrụ aja
mgbe i kwuru okwu sị, "Unu ụmụ mmadụ, laghachi bụrụ aja."
4 Puku afọ dị n'anya gị dịka otu ụbọchị;
ha dịka ụnyaahụ gafere agafe
maọbụ ka otu awa nke anyasị.†
5 N'ime ụra nke ọnwụ ka ị na-ekpochapụ mmadụ;
ha dịka ahịhịa ọhụrụ nke na-epupụta n'isi ụtụtụ,
6 ọ bụ ezie na ọ na-agbawa ụzarị na-etokwa eto n'ụtụtụ,
ma n'anyasị, ọ na-akpọnwụ ma-achanwụkwaa.

7 E meela ka anyị gwụsịa n'ihi oke iwe gị megide anyị;
anyị na-amakwa jijiji n'ihi ọnụma gị.
8 Ị gbasaala njehie anyị niile n'ihu gị.
Ị na-ahụzukwa mmehie nzuzo anyị niile.
9 Ogologo ụbọchị anyị niile na-agabiga n'oke iwe gị;
afọ ndụ anyị nke fọdụrụ ka anyị na-ebi dịka okwu e ji nwayọọ kwuo na mwute.
10 Ogologo ụbọchị anyị niile nwere ike ruo afọ iri asaa,
maọbụ afọ iri asatọ, ma ọ bụrụ na ike anyị adịgide,
ma otu ọ dị, nke a ga-asị na ọ bụ ya kachasị mma na-ejupụta na nsogbu na ịsụ ude,
n'ihi na ha na-agabiga ọsịịsọ, anyị onwe anyị na-efelakwa.

‡ **Abụ Ọma 89:48** 89:48 Ya bụ, ala mmụọ * **Abụ Ọma 90:2** 90:2 Job 15:7; Ilu 8:25 † **Abụ Ọma 90:4** 90:4 2Pt 3:8

11 Onye pụrụ ịghọta ịdị ike nke oke iwe gị?
N’ihi na oke iwe gị dị ukwuu dịka ịtụ egwu kwesiri gị si dị ukwuu.
12 Kuziere anyị ịgụ ụbọchị niile nke ndụ anyị ọnụ,
ka anyị si otu a nweta obi amamihe jupụtara.

13 O ONYENWE ANYỊ, nwee ntụgharị obi! Tutu ruo ole mgbe ka ọ ga-adị?
Meere ndị ohu gị ebere.
14 Jiri ịhụnanya gị nke na-adịgide adịgide, mejupụta anyị n’ụtụtụ,
ka anyị nwee ike ịbụ abụ ọṅụ ma nwekwaa obi ụtọ ogologo ụbọchị ndụ anyị niile.
15 Mee ka anyị nwee obi ụtọ, nke ọnụọgụgụ ụbọchị ya ga-adịkwa ka ọnụọgụgụ ụbọchị niile ị tara anyị ahụhụ,
ka ọnụọgụgụ afọ ya dịkwa ka ọnụọgụgụ afọ niile anyị hụrụla nsogbu.
16 Kwere ka ndị ohu gị hụ ọrụ gị dị iche iche,
ka ụmụ ha hụkwa ịma mma gị.

17 Ka ihuọma Chineke, Onyenwe anyị dịkwasị anyị;
mee ka ọrụ aka anyị guzosie ike,
e, mee ka ọrụ aka anyị guzosie ike.

# Abụ Ọma 91

*Chineke onye na-echebe anyị*

1 Onye ahụ na-ebi n’ebe mgbaba Onye kachasị ihe niile elu
ga-ezu ike n’okpuru ndo Onye pụrụ ime ihe niile.
2 Nke a ka m ga-ekwu maka ONYENWE ANYỊ, “Ọ bụ ebe mgbaba m na ebe nchebe m e wusiri ike,
Chineke m, onye m na-atụkwasị obi m.”

3 N’ezie, ọ ga-anapụta gị
site n’ọnya nke onye osi ọnya
na site n’aka ajọ ọrịa na-efe efe na-eweta ịla n’iyi.
4 Ọ ga-eji nku ya kpuchie gị.
Ọ bụkwa n’okpuru nku ya abụọ, ka ị ga-agbaba zere ndụ,
ikwesi ntụkwasị obi ya ga-echebe gị, ghọkwaara gị ọta.
5 Ị gaghị atụ egwu ihe ịtụ oke egwu nke abalị,
maọbụ àkụ na-efeghari n’ehihie,
6 maọbụ ajọ ọrịa na-efe efe, nke na-ejeghari n’ọchịchịrị,
ma ọ bụkwanụ ihe mbibi mberede na-eme n’ehihie.
7 Puku mmadụ pụrụ ịda n’akụkụ gị,
iri puku mmadụ nwekwara ike ịda n’akụkụ aka nri gị,
ma ihe ọjọọ ndị a agaghị erute gị nso.
8 Ọ bụ naanị anya gị abụọ ka ị ga-eji hụ
ntaramahụhụ nke ndị ajọ omume.

9 Ọ bụrụ na i mee Onye kachasị ihe niile elu ebe obibi gị,
ọ bụladị ONYENWE ANYỊ, onye bụ ebe mgbaba m,
10 mgbe ahụ, ihe ọjọọ ọbụla enweghị ike ịdakwasị gị;
ihe ike ọbụla enweghị ike ịbịaru ụlọ obibi gị nso.
11 N’ihi na ọ ga-enye ndị mmụọ ozi ya iwu banyere gị,

ka ha chebe gị n'ụzọ gị niile.*
12 Ha ga-eji ọbụ aka ha,
bulie gị elu ime ka ị ghara ịkpọbi ụkwụ gị na nkume.
13 Ị ga-azọkwasị ọdụm na ajụala ụkwụ,
zọgbukwaa ọdụm na-akpa ike, na agwọ ọjọọ.

14 "N'ihi na ọ hụrụ m n'anya, Mụ onwe m ga-agbapụta ya, ka ONYENWE ANYỊ kwuru;
aga m echebe ya, n'ihi na ọ maara aha m.
15 Ọ ga-akpọku m, aga m azakwa ya.
Aga m anọnyere ya n'ime nsogbu ya,
aga m adọpụta, ma sọpụrụkwa ya.†
16 Aga m eji ogologo ndụ mee ka afọ ju ya,
gosikwa ya nzọpụta m."

# Abụ Ọma 92

Abụ Ọma. Abụ maka ụbọchị izuike.

*Ekele maka ịdị mma Chineke*

1 Ọ bụ ihe ziri ezi ito ONYENWE ANYỊ,
na iti egwu nye aha gị, gị Onye kachasị ihe niile elu,
2 ikwupụta ịhụnanya gị n'ụtụtụ,
na ikwesi ntụkwasị obi gị n'abalị,
3 jiri ihe iti egwu ụbọ akwara
na une bụọrọ gị abụ dị ụtọ.

4 N'ihi na ị na-eme ka obi dị m ụtọ, site n'ọrụ gị niile, o ONYENWE ANYỊ,
Ọ bụ ya mere m ji na-abụ abụ ọṅụ.
5 Lee ka ọrụ gị si dị ukwuu, ONYENWE ANYỊ.
Leekwa ụdị echiche miri emi ị na-eche.
6 Ndị uche kọrọ amaghị nke a,
ndị nzuzu enweghị nghọta,
7 ọ bụ ezie na ndị ajọ omume na-etopụta dịka ahịhịa
ndị na-emekwa ajọ ihe na-eto na-awasa,
a ga-ala ha n'iyi ruo mgbe ebighị ebi.

8 Ma gị, O ONYENWE ANYỊ, bụ onye e buliri elu ruo mgbe ebighị ebi.

9 N'ezie, ndị iro gị niile, ONYENWE ANYỊ,
e ndị iro gị niile ga-ala n'iyi;
ndị niile na-eme ajọ ihe ka a ga-achụsasị.
10 I meela ka mpi m dị elu dịka oke ehi na-akpa ike;
awụsala m mmanụ dị mma.
11 Ejirila m anya m abụọ hụ ka e meriri ndị iro m;
ejirila m ntị m nụ maka ịla n'iyi nke ndị iro m afọ tara mmiri.

12 Ma ndị ezi omume ga-awa igu dịka osisi nkwụ;
ha ga-ebukwa ibu dịka osisi ukwu sida nke Lebanọn,
13 nke a kụrụ n'ime ụlọ ONYENWE ANYỊ,
ha ga-eto, wasaakwa n'ime ogige Chineke anyị.

* **Abụ Ọma 91:11** 91:11 Abụ 34:7; Mat 4:6; Luk 4:10; Hib 1:14 † **Abụ Ọma 91:15** 91:15 Job 12:4; Abụ 50:15; Aịz 43:2

14 Ha ga-amị mkpụrụ, ọ bụladị mgbe ha mere agadi.
Ha ga-ejupụtakwa n'ahịhịa ndụ,
15 na-ekwupụta, "ONYENWE ANYỊ bụ Onye ziri ezi;
ọ bụ Oke Nkume m, ọ dịkwaghị ajọ omume dị n'ime ya."

# Abụ Ọma 93

*Ịdị ukwuu nke Onyenwe anyị*

1 ONYENWE ANYỊ bụ eze, ọ na-eyikwasị ịma mma dịka uwe;
ONYENWE ANYỊ na-eyikwasị ịma mma dịka uwe, ọ dịkwa ike nke ukwuu;
n'ezie, ụwa niile na-eguzosikwa ike; apụghịkwa iwezuga ya n'ọnọdụ ya.
2 Ocheeze gị eguzosiela ike siterị na mgbe ochie;
ị na-adịkwa site n'ebighị ebi ruo ebighị.

3 Oke osimiri niile amaliela elu, O ONYENWE ANYỊ;
oke osimiri niile eweliela olu ha elu;
ebili mmiri niile nke oke osimiri na-amali elu na-eme mkpọtụ.
4 ONYENWE ANYỊ onye nọ n'elu, dị ukwuu
karịa mkpọtụ nke oke osimiri niile na-eme,
ma karịakwa ụda nke ebili mmiri nke oke osimiri.

5 Ụkpụrụ gị niile, ONYENWE ANYỊ na-eguzosi ike;
ịdị nsọ bụ ihe e ji chọọ ụlọ gị mma
ruo ụbọchị na-enweghị ọgwụgwụ.

# Abụ Ọma 94

*Chineke, onye ikpe nke mmadụ niile*

1 O ONYENWE ANYỊ, Chineke onye na-abọ ọbọ,
o Chineke, onye na-abọ ọbọ, zipụta onwe gị.
2 Bilie, o Onye Ikpe nke ụwa;
kwụghachi ndị nganga ụgwọ ọrụ ruuru ha.
3 ONYENWE ANYỊ, ọ bụ ruo ole mgbe?
Ọ bụ ruo ole mgbe ka ndị na-eme ajọ omume ga-anọgide na-aṅụrị ọṅụ?

4 Ha na-ekwuwapụ okwu mpako;
ndị niile na-eme ajọ ihe jupụtara n'itu ọnụ.
5 Ha na-azọpịa ndị gị, O ONYENWE ANYỊ;
ha na-emegbu ihe nketa gị.
6 Ha na-egbu ndị di ha nwụrụ na ndị ọbịa;
ha na-egbu ndị na-enweghị nna.
7 Ha na-asị, "ONYENWE ANYỊ anaghị ahụ ihe ndị a;
Chineke Jekọb na-agba nkịtị."

8 Lezienụ anya, unu ndị amamihe kọrọ n'etiti ndị m;
unu ndị nzuzu, olee mgbe unu ga-amụta ihe?
9 Ọ pụtara na onye kpụrụ ntị anaghị anụ ihe?
Ọ pụtara na onye kere anya anaghị ahụ ụzọ?
10 Ọ pụtara na onye na-adọ mba niile aka na ntị agaghị ata ha ahụhụ?
Ọ pụtara na onye na-ezi mmadụ ihe enweghị ihe ọmụma?
11 ONYENWE ANYỊ maara echiche obi mmadụ;

ọ maara na ihe mmadụ na-eche n’obi ya bụ naanị ihe na-enweghị isi.

12 Onye a gọziri agọzi ka mmadụ ahụ bụ, onye ị na-adọ aka na ntị, O ONYENWE ANYỊ,
onye ahụ ị na-akụziri ihe site n’iwu gị;
13 ị na-enye ya izuike site n’ụbọchị nsogbu;
tutu ruo mgbe a ga-egwuru ndị ajọ omume olulu.
14 N’ihi na ONYENWE ANYỊ agaghị ajụ ndị ya;
ọ gaghị agbakụta ihe nketa ya azụ.
15 Ezi omume ga-abụ ntọala ikpe ikpe niile;
ndị niile ndị ziri ezi n’obi ga-agbasokwa ya.

16 Onye ga-ebiliri m imegide ndị ajọ omume?
Onye ga-eguzo n’ọnọdụ m imegide ndị na-eme ajọ ihe?
17 A sị na ONYENWE ANYỊ abịaghị nyere m aka,
agaara m rịị abụ onye nwụrụ anwụ.
18 Mgbe m kwuru sị, “Ụkwụ m na-agbuchapụ,”
ọ bụ ịhụnanya gị, O ONYENWE ANYỊ, kwagidere m.
19 Mgbe oke nchekasị obi batara n’ime m,
nkasiobi gị wetara mkpụrụobi m ọṅụ.

20 A ga-ejikọta gị na ocheeze ọchịchị ya rụrụ arụ,
nke na-eweta mmekpa ahụ site n’iwu ya?
21 Ndị ajọ omume na-ejikọta onwe ha imegide ndị ezi omume
na-amakwa ndị aka ha dị ọcha ikpe ọnwụ.
22 Ma ONYENWE ANYỊ a bụrụla ebe mgbaba e wusiri ike nye m,
na Chineke m na oke nkume ebe m na-ezere ndụ.
23 Ọ ga-akwụghachi ha ụgwọ ọrụ kwesiri mmehie ha,
lakwaa ha n’iyi n’ihi ajọ omume ha;
ONYENWE ANYỊ Chineke anyị ga-ala ha n’iyi.

# Abụ Ọma 95

*Toonu Onyenwe anyị*

1 Bịanụ ka anyị jiri ọṅụ bụkuo ONYENWE ANYỊ abụ;
ka anyị tikuo oke nkume nzọpụta anyị mkpu ọṅụ.
2 Ka anyị jiri ekele bịakwute ya
jirikwa iti egwu na ịbụ abụ jaa ya mma.

3 N’ihi na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke dị ukwuu,
eze ukwuu kachasị chi niile elu.
4 Ebe niile michasịrị emi nke ụwa dị n’aka ya,
ebe kachasị elu nke ugwu niile bụkwa nke ya.
5 Osimiri niile bụ nke ya, n’ihi na ọ bụ ya kere ha,
aka ya kpụrụ ala akọrọ niile.

6 Bịanụ ka anyị kpọọ isiala n’ofufe,
ka anyị gbuo ikpere n’ala n’ihu ONYENWE ANYỊ, onye kere anyị;
7 n’ihi na ọ bụ Chineke anyị
anyị bụkwa ndị ọ na-azụ dịka atụrụ,
igwe atụrụ ọ na-elekọta anya.

Taa, ọ bụrụ na unu anụ olu ya,
8 "Unu emela ka obi unu sie ike dịka unu mere na Meriba,
maọbụ dịka unu mere n'ụbọchị ahụ na Masa n'ime ọzara,
9 ebe nna nna unu ha nwara m,
n'agbanyeghị na ha hụrụ ihe niile m mere.
10 Iri afọ anọ ka m were iwe megide ọgbọ ahụ;
ekwuru m sị, 'Ndị a bụ ndị obi ha na-akpafu akpafu site n'ebe m nọ,
ha amatabeghị ụzọ m niile.'
11 N'ihi nke a, aṅụrụ m iyi n'iwe, sị,
'Ha agaghị abanye n'izuike m ma ọlị.' "

# Abụ Ọma 96

*Kpọọnụ isiala nye Onyenwe anyị*

1 Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ ọhụrụ,
bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ, unu ụwa niile.
2 Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ, toonu aha ya;
kwupụtanụ nzọpụta ya site n'otu ụbọchị ruo n'ụbọchị nke ọzọ.
3 Kwusaanụ ebube ya n'etiti mba niile,
kọsakwanụ banyere oke ọrụ ya niile n'etiti ndị niile dị iche iche.

4 N'ihi na ONYENWE ANYỊ dị ukwuu, bụrụkwa onye kwesiri ịnata otuto;
onye a na-atụ egwu karịa chi ọzọ niile ka ọ bụkwa.
5 N'ihi na chi niile nke mba niile dị iche iche bụ arụsị efu,
maọbụ ONYENWE ANYỊ kere eluigwe niile.
6 Ịma mma na ebube dị n'ihu ya;
ike na otuto dị n'ebe nsọ ya.

7 Nyenụ ONYENWE ANYỊ, unu ezinaụlọ nke mba niile dị iche iche,
nyenụ ONYENWE ANYỊ nsọpụrụ na ike.
8 Nyenụ ONYENWE ANYỊ nsọpụrụ ruuru aha ya;
werenụ onyinye bata n'ime ogige ya.
9 Kpọọnụ isiala nye ONYENWE ANYỊ n'ịma mma nke ịdị nsọ ya;
maa jijiji n'ihu ya, unu ụwa niile.
10 Kwusaa n'etiti mba niile sị, "ONYENWE ANYỊ na-achị."
Elu ụwa kwụ chịm, a pụghị iwezuga ya n'ọnọdụ ya;
ọ ga-eji ikpe ziri ezi kpee ndị niile ikpe.

11 Ka mbara eluigwe ṅụrịa, ka ụwa nwekwa obi ụtọ;
ka osimiri bigbọọ, na ihe niile dị n'ime ya.
12 Ka ala ubi niile na ihe niile dị n'ime ha jupụta n'obi ụtọ.
Ka osisi niile nke oke ọhịa bụọ abụ n'ihi ọṅụ.
13 Ka ihe niile e kere eke ṅụrịa ọṅụ n'ihu ONYENWE ANYỊ, n'ihi na ọ na-abịa,
ọ na-abịa ikpe ụwa ikpe.
Ọ ga-eji ezi omume kpee elu ụwa ikpe,
jirikwa ikwesi ntụkwasị obi kpee ndị niile dị iche iche ikpe.

# Abụ Ọma 97

*Chineke onye na-achị ihe niile*

1 ONYENWE ANYỊ bụ eze,* ka ụwa niile nwee obi ụtọ;
ka ndị niile bi n'ebe dị anya ṅụrịa.
2 Igwe ojii na oke ọchịchịrị gbara ya gburugburu;
ezi omume na ikpe ziri ezi bụ ntọala ocheeze ya.
3 Ọkụ na-enwu enwu na-aga n'ihu ya
ọ na-erepịasị ndị iro ya n'akụkụ ya ọbụla.
4 Amụma ya na-acha chazuo elu ụwa niile;
ụwa niile na-ahụ ya na-ama jijiji.
5 Ugwu niile na-agbaze dịka mmanụ n'ihu ONYENWE ANYỊ,
n'ihu Onyenwe ụwa niile.
6 Eluigwe na-ekwuwapụta ezi omume ya;
ndị niile bi n'ụwa na-ahụkwa ebube ya.

7 A na-eme ka ihere mee ndị niile na-efe arụsị niile a pịrị apị ofufe,
ndị na-anya isi na chi niile e jiri aka mee
feenụ ya ofufe, unu chi niile!

8 Zayọn na-anụ ma na-aṅụrịkwa ọṅụ,
obodo nta niile nke Juda na-enwekwa obi ụtọ
n'ihi ikpe gị, O ONYENWE ANYỊ.
9 N'ihi na gị, O ONYENWE ANYỊ, bụ Onye kachasị ihe niile elu n'ụwa niile;
ị bụ onye e buliri elu karịa chi ndị ọzọ niile.
10 Ka unu, ndị hụrụ ONYENWE ANYỊ n'anya, kpọọ ihe ọjọọ asị,
n'ihi na ọ na-echebe ndụ ndị nke ya, ndị tụkwasịrị ya obi
ma na-anapụtakwa ha site n'aka ndị ajọ omume.
11 Ìhè na-amụkwasị onye ezi omume,
ọṅụ na-adịkwa n'ime obi onye na-eme ihe ziri ezi.
12 Ṅụrịanụ ọṅụ n'ime ONYENWE ANYỊ, unu ndị ezi omume,
tookwanụ aha nsọ ya.

# Abụ Ọma 98

Abụ Ọma.

*Toonu Onyenwe anyị onye ezi omume*

1 Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ ọhụrụ,*
n'ihi na ọ rụọla ọtụtụ ọrụ dị ebube;
aka nri ya na aka nsọ ya
arụpụtarala ya nzọpụta.
2 ONYENWE ANYỊ emeela ka a mata nzọpụta ya
o kpugheela ezi omume ya nye mba niile.
3 O chetala ịhụnanya ya
na ikwesi ntụkwasị obi ya n'ebe ụlọ Izrel dị;
nsọtụ nke ụwa niile ahụla
nzọpụta Chineke anyị.

4 Tikusienụ ONYENWE ANYỊ mkpu ọṅụ ike, ụwa niile
jirinụ iti egwu tiwaa mkpu abụ ọṅụ;
5 werenụ ụbọ akwara bụkuo ONYENWE ANYỊ abụ,
e, were ụbọ akwara na olu abụ ọma,

---

* **Abụ Ọma 97:1** 97:1 Abụ 96:10; Abụ 99:1 * **Abụ Ọma 98:1** 98:1 Abụ 96:1

6 jirinụ opi na opi ike,
tisie mkpu ọṅụ ike n'ihu ONYENWE ANYỊ, Onye bụ Eze.

7 Ka oke osimiri niile gbọọ ụja, ya na ihe niile dị n'ime ya,
ụwa na ndị niile bi n'ime ya.
8 Ka osimiri na iyi niile kụọ aka ha,
ka ugwu niile bụkuokwa ya abụ n'ihi ọṅụ;
9 ka ha bụọ abụ n'ihu ONYENWE ANYỊ,
n'ihi na ọ na-abịa ikpe ụwa ikpe.
Ọ ga-eji ezi omume kpee ụwa ikpe.
Ọ ga-eji ikpe ziri ezi kpee ndị niile ikpe.

# Abụ Ọma 99

*Toonu Chineke dị nsọ*
1 ONYENWE ANYỊ bụ eze,
ka mba niile maa jijiji!
O wuru ocheeze ya n'etiti cherubim,
ka elu ụwa maa jijiji.
2 ONYENWE ANYỊ dị ukwuu n'ime Zayọn;
ọ bụ onye e buliri elu karịa mba niile dị iche iche.
3 Ka ha too aha gị nke dị ukwuu, dịkwa oke egwu,
ọ dị nsọ.

4 Eze bụ onye dị ike, ọ hụrụ ikpe ziri ezi n'anya,
i meela ka ihe ziri ezi guzosie ike;
n'ime Jekọb ka i mere
ihe ziri ezi na ihe dị mma.
5 Bulienụ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị elu,
feenụ ofufe n'ihu ebe ihe ịtụkwasị ụkwụ ya;
ọ dị nsọ.

6 Mosis na Erọn so n'etiti ndị nchụaja ya,
Samuel sokwa n'etiti ndị kpọkuru aha ya;
ha kpọkuru ONYENWE ANYỊ
ọ zakwara ha.
7 Ọ gwara ha okwu site n'ogidi igwe ojii.
Ha debere ụkpụrụ ya na iwu niile o nyere ha.

8 O ONYENWE ANYỊ, Chineke anyị,
ị zara ha;
ị bụụrụ Izrel Chineke onye na-agbaghara mmehie,
n'agbanyeghị na ị tara ha ahụhụ n'ihi mmehie ha.
9 Bulienụ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị elu;
na-efe ya ofufe n'elu ugwu ya dị nsọ,
n'ihi na onye dị nsọ ka ONYENWE ANYỊ Chineke anyị bụ.

# Abụ Ọma 100

Abụ Ọma maka ikele ekele afọ ojuju.

*Toonu Chineke*
1 Tikusienụ ONYENWE ANYỊ mkpu ọṅụ ike, ụwa niile.

2 Jiri obi ụtọ fee ONYENWE ANYỊ ofufe;
jirinụ ịbụ abụ ọṅụ bịa n'ihu ya
3 Matanụ na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke.
Ọ bụ ya onwe ya kere anyị,* ọ bụkwa ya nwe anyị,
anyị bụ ndị ya, igwe atụrụ nke ọ na-azụ.

4 Jirinụ ekele banye n'ọnụ ụzọ ama ya
jiri otuto baa n'ogige ya;
keleenụ ya, tookwa aha ya.
5 N'ihi na ONYENWE ANYỊ dị mma, ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
Ruo ọgbọ niile ka ikwesi ntụkwasị obi ya na-adịgidekwa.

# Abụ Ọma 101

Abụ Ọma Devid.

*Nkwa eze*

1 Aga m abụ abụ banyere ịhụnanya gị na ikpe gị ziri ezi;
o ONYENWE ANYỊ, ọ bụ gị ka m ga-abụku abụ otuto.
2 Aga m enwe uche ị hụ na m biri ndụ na-enweghị ịta ụta ọbụla,
olee mgbe ị ga-abịakwute m?

Aga m ejikwa obi nke a na-agaghị ata ụta ọbụla
jegharịa n'ime ụlọ m.
3 Agaghị m edo ihe jọgburu onwe ya
n'ihu m.

Ana m akpọ ọrụ ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi asị.
Agaghị m enwekwa oke n'ime ya.
4 Ndị obi ha gbagọrọ agbagọ agaghị anọ m nso.
Agakwaghị m etinye aka n'ọrụ ọjọọ ọbụla.

5 Onye ọbụla na-ekwulu onye agbataobi ya na nzuzo,
onye ahụ ka m ga-emechi ọnụ;
agaghị m anabata
onye ọbụla dị mpako ma nwee obi nganga.

6 Aga m elekwasị ndị kwesiri ntụkwasị obi n'ala a anya,
ka mụ na ha biri;
onye ahụ na-eje ije na-enweghị ịta ụta ọbụla
ga-ejere m ozi.

7 Onye ọbụla na-aghọ aghụghọ
agaghị ebi n'ụlọ m;
onye ọbụla na-ekwu okwu ụgha
agaghị eguzokwa n'ihu m.

8 Ụtụtụ niile ka m na-eme ka ha dere duu
bụ ndị ajọ omume niile nọ n'ala a;
Aga m ebipụ ndị niile na-eme ajọ ihe
site n'obodo ONYENWE ANYỊ.

---
* **Abụ Ọma 100:3** 100:3 Job 10:3; Efe 2:10

# Abụ Ọma 102

Ekpere nke onye nọ na mmekpa ahụ na ọnọdụ ịda mba, na-ekwupụta otu o si dịrị ya n'ihu ONYENWE ANYỊ.

*Arịrịọ maka ime ebere*

1 Nụrụ ekpere m, O ONYENWE ANYỊ;
ka ịkwa akwa m maka inyeaka ruo gị ntị.
2 Ezonarịla m ihu gị
n'ụbọchị nsogbu m.
Gee ntị n'ekpere m,
zakwaa m ngwangwa.

3 N'ihi na ụbọchị m niile na-agabiga, dịka anwụrụ ọkụ;
ọkpụkpụ m niile dịkwa ka ọlọkọ ọkụ.
4 Mkpụrụobi m etiwaala abụọ na-achanwụkwa dịka ahịhịa;
ana m echefu iri nri m.
5 N'ihi oke ịsụ ude m na-asụ,
enwekwaghị m anụ ahụ ọbụla n'ahụ m. Abụ m naanị ọkpụkpụ.
6 Adị m ka ikwighịkwighị nke ọzara,
a dị m ka ikwighịkwighị n'etiti ebe dakpọsịrị adakpọsị.
7 Ana m amụ anya abalị niile;
adị m ka nwa nnụnụ naanị ya bekwasịrị n'elu ụlọ.
8 Ụbọchị niile, ndị iro m na-eji m eme ihe ọchị;
ndị na-akwa m emo na-eji aha m mere ihe ịbụ ọnụ.
9 N'ihi na ejirila m ntụ mere ihe oriri m,
anya mmiri m na-agwakọta n'iko ihe ọṅụṅụ m
10 n'ihi oke iwe gị,
i bulitela m, ma tụpụ m n'akụkụ.
11 Ụbọchị m niile dịka onyinyo nke a na-ahụ anya mgbe anwụ na-ada.
Ana m akpọnwụ akpọnwụ, dịka ahịhịa.

12 Ma gị ONYENWE ANYỊ, na-anọgide n'ocheeze gị ruo mgbe ebighị ebi;
aha gị ga-adịgide site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.
13 Ị ga-ebili nwee ọmịiko n'ebe Zayọn nọ,
n'ihi na oge izi ya ihuọma eruola;
oge ahụ a kara aka eruola.
14 N'ihi na nkume ya niile dị oke ọnụahịa nye ndị ohu gị;
mgbe ha hụrụ uzuzu ya, ha na-emere ya ebere.
15 Mba niile ga-atụ egwu aha ONYENWE ANYỊ,
ndị eze niile nke ụwa ga-asọpụrụkwa ebube gị.
16 N'ihi na ONYENWE ANYỊ ga-ewugharị Zayọn,
ọ ga-apụta ihe n'ebube ya.
17 Ọ ga-aza ekpere ndị nọ na mkpa;
ọ gaghị eleda arịrịọ ha anya.

18 Ka e depụta ihe ndị a maka ọgbọ nke dị n'ihu,
ka ndị a na-amụbeghị nwee ike too ONYENWE ANYỊ:
19 "ONYENWE ANYỊ sitere n'ebe nsọ ya dị elu ledata anya,
o sitere n'eluigwe ledata anya ya n'ụwa,
20 ịnụ ịsụ ude nke ndị a tụrụ mkpọrọ
na ịgbapụta ndị a mara ikpe ọnwụ."

21 N'ihi nke a, a ga-ekwuwapụta aha ONYENWE ANYỊ na Zayọn;
a ga-eto ya na Jerusalem,
22 mgbe mba niile na alaeze niile,
ga-ezukọta n'otu ebe, ife Onyenwe anyị ofufe.

23 O meela ka ike gwụ m n'oge ndụ m;
o meela ka ndụ m dịrị mkpụmkpụ.
24 N'ihi ya, ekwuru m sị,
"Anapụla m ndụ m, o Chineke m, ugbu a m ka dị ndụ;
ị na-adịgide ndụ site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.
25 Na mmalite, ị tọrọ ntọala ụwa,
eluigwe bụkwa ọrụ aka gị.
26 Ha ga-ala n'iyi, ma ị ga-adịgide;
ha ga-erichasị dịka akwa ochie.
Ị ga-agbanwe ha dịka mmadụ si agbanwe uwe ya,
ha ga-abụ ndị ewezugara ewezuga.
27 Ma gị onwe gị enweghị mgbanwe,*
ọnụọgụgụ afọ gị adịghị agwụkwa agwụ.
28 Ụmụ ndị ohu gị ga-ebigide;
ụmụ ụmụ ha ga-eguzosie ike n'ihu gị."

# Abụ Ọma 103

Abụ Ọma Devid.

*Gọzie Onyenwe anyị*

1 Mkpụrụobi m, too ONYENWE ANYỊ;
ka ihe niile dị n'ime m too aha nsọ ya.
2 Mkpụrụobi m, too ONYENWE ANYỊ;
echefukwala mmeso ọma ya niile,
3 ọ bụ ya na-agbaghara gị mmehie gị niile;
na-agwọkwa gị ọrịa gị niile,
4 onye na-agbapụta ndụ gị site n'olulu
werekwa ịhụnanya na ọmịiko kpukwasị gị dịka okpueze,
5 onye na-eji ezi ihe na-emejupụta ọchịchọ gị niile,
ka oge okorobịa gị bụrụ ihe a gbanwere dịka nke ugo.*

6 ONYENWE ANYỊ na-arụ ọrụ ezi omume,
na-ekpe ikpe ziri ezi nye ndị a na-emegbu emegbu.

7 O mere ka Mosis mata ụzọ ya,
mekwaa ka ụmụ Izrel mara ọrụ ya dị iche iche:
8 ONYENWE ANYỊ nwere obi ọmịiko na-emekwa amara.
Ọ dịghị ewe iwe ọsịịsọ, o jupụtara n'ịhụnanya.
9 Iwe ya anaghị adịgide ruo mgbe ebighị ebi,
ọ bụghị oge niile ka ọ na-anọgide na-ata mmadụ ụta;
10 ọ bụghị dịka mmehie anyị si dị ka ọ na-emeso anyị,
ọ dịghị akwụghachi anyị dịka ajọ omume anyị si dị.
11 N'ihi na dịka eluigwe si dị elu karịa ụwa,

---

* **Abụ Ọma 102:27** 102:27 Aịz 41:1; Aịz 43:10; Mal 3:6; Hib 13:8; Jem 1:17 * **Abụ Ọma 103:5** 103:5 Ugo Ọ bụ ịdị ike na ndụ ogologo ka e ji mara nnụnụ ugo.

otu a ka ịhụnanya ya si dị ukwuu n’ebe ndị na-atụ egwu ya nọ.
12 Dịka ọwụwa anyanwụ si dị anya, site n’ọdịda anyanwụ,
otu a ka o sirila mee ka mmehie anyị niile dịrị anya site n’ebe anyị nọ.

13 Dịka nna si enwe obi ebere n’ebe ụmụ ya nọ,
otu a ka ONYENWE ANYỊ si enwe obi ebere n’ebe ndị na-atụ egwu ya nọ,
14 n’ihi na ya onwe ya maara otu e si kpụọ anyị,
ọ na-echeta na anyị bụ aja.
15 Ebe mmadụ nọ, ụbọchị ya niile dị ka ahịhịa,
ọ na-etopụta, na-awasa dịka okoko osisi ọhịa,
16 ifufe na-efesi ya ike, ọ na-adakwa,
adịghị echetakwa ya n’ọnọdụ mbụ ya.
17 Ma ịhụnanya ONYENWE ANYỊ na-adịgide site
n’ebighị ebi ruo ebighị ebi n’etiti ndị na-atụ egwu ya.
Ezi omume ya na-adịgidekwara ụmụ ụmụ ha,
18 nye ndị ahụ niile na-edebe ọgbụgba ndụ ya
na ndị na-echeta irubere ụkpụrụ ya isi.

19 ONYENWE ANYỊ emeela ka ocheeze ya guzosie ike n’eluigwe,
alaeze ya na-achị ihe niile.

20 Toonu ONYENWE ANYỊ, unu ndị mmụọ ozi ya,
unu ndị dị ike ndị na-eme ihe ọ chọrọ,
na-erubere okwu ya isi.
21 Toonu ONYENWE ANYỊ unu usuu ndị agha ya niile;
unu ndị na-ejere ya ozi, ndị na-eme uche ya.
22 Toonu ONYENWE ANYỊ, ọrụ aka ya niile
n’ebe ọbụla ọ na-achị.

Mkpụrụobi m, too ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 104

*Toonu Chineke onye okike*
1 Mkpụrụobi m, too ONYENWE ANYỊ.

O ONYENWE ANYỊ na Chineke m, ị dị ukwu nke ukwuu;
ị na-eyikwasị ịma mma na ebube dịka uwe.

2 Ọ na-eji ìhè kpuchie onwe ya dịka akwa;
ọ na-agbasa eluigwe dịka ụlọ ikwu
3 na-atọ ntọala ụlọ elu ya n’elu mmiri.*
Ọ na-eji igwe ojii emere onwe ya ụgbọ agha
na-ejirikwa nku nke ifufe felie elu.
4 O ji oke ifufe mere ihe na-ejere ya ozi,
meekwa ka ọkụ na-enwu enwu bụrụ ndị na-ejere ya ozi.

5 Ọ bụ ya tọrọ ntọala ụwa;
agaghị ewezugakwa ya site n’ọnọdụ ya.
6 I gbokwasịrị ogbu mmiri n’elu ya dịka ọ bụ uwe ka i yikwasịrị ya,

* **Abụ Ọma 104:3** 104:3 Ems 9:6

mmiri tokpukwara ugwu niile.
7 Ma mgbe ị bara mba, mmiri ahụ gbapụrụ,
n’ụda oke olu nke egbe eluigwe gị, ha gbapụrụ ọsọ.
8 Ha sitere n’elu ugwu niile,
sọrọ gaa na ndagwurugwu,
ruokwa n’ebe ahụ ị kpara oke na ha ga-anọ.
9 Ị kpara oke nye ha, nke ha na-agaghị agafe,
gbochie ha ikpuchi elu ụwa ọzọ.

10 Ọ na-eme ka mmiri, site n’ala na-asọpụta na ndagwurugwu,
meekwa ka iyi niile site n’etiti ugwu na-asọfe.
11 Ha na-enye anụ ọhịa niile mmiri ọṅụṅụ
bụrụkwa ebe akpịrị ịkpọ nkụ nke ịnyịnya ibu ọhịa na-adajụ.
12 N’osisi dị n’akụkụ ha ka ụmụ anụ ufe nke eluigwe ga-anọ wuo akwụ ha;
nọrọkwa n’alaka ha bụọ abụ.
13 Ọ na-esite n’eluigwe na-ezidata mmiri ozuzo n’elu ugwu niile;
ụwa niile na-ejupụtakwa na mkpụrụ nke ọrụ aka ya.
14 Ọ na-eme ka ahịhịa puputara anụ ụlọ,
na-emekwa ka ihe a kụrụ n’ala puoro mmadụ n’ubi ya,
ime ka nri site n’ala pupụta;
15 mmanya nke na-enye obi mmadụ aṅụrị,
mmanụ nke na-eme ka ihu na-egbupụ amụma,
na achịcha nke na-enye ya ume n’obi.
16 A na-agba osisi niile nke Onyenwe anyị mmiri nke ọma,
osisi sida nke Lebanọn nke ọ kụrụ.
17 Ụmụ nnụnụ na-ewu akwụ ha;
n’osisi fịa ka ụgbala na-ewu akwụ ya.
18 Ugwu niile dị elu dịịrị ewu ọhịa;
n’ọgba dị na nkume ka ewi nkume na-ezo onwe ha.

19 I mere ọnwa ka ọ bụrụ ihe a ga-eji na-agụ oge na mgbe dị iche iche;
anyanwụ makwaara mgbe ọ ga-eji daa.
20 Ị na-eme ka ọchịchịrị bịa, ọ bụrụ abalị;
ụmụ anụ ọhịa niile nke oke ọhịa na-akpagharị.
21 Ụmụ ọdụm na-agbọ ụja ha na-elegharị anya anụ ha ga-adọgbu,
ịchọrọ onwe ha ihe oriri ahụ Chineke na-enye ha.
22 N’isi ụtụtụ mgbe anwụ wara,
ha na-alaghachi zoo onwe ha n’ebe nzuzo ha.
23 Ụmụ mmadụ na-amalitekwa ọrụ ha n’isi ụtụtụ,
kwụsịkwa n’anyasị mgbe ọchịchịrị bidoro ịgba.

24 Onyenwe anyị, ọrụ aka gị dị ọtụtụ.
Ọ bụ site n’amamihe ka i ji kee ha.
Elu ụwa niile jupụtara n’ihe niile i kere eke.
25 Leenụ osimiri nke buru ibu saakwa mbara;
jupụtara n’ihe e kere eke na-akpụ akpụ nke a na-apụghị ịgụta ọnụ bi,
anụ dị ndụ ma ndị ukwu ma ndị nta.
26 N’ebe ahụ ka ụgbọ mmiri niile na-ejegharị,
n’ime ya kwa ka leviatan, nke gị onwe gị kere, na-anọ egwuri egwu.

27 Ha niile na-adabere na gị,
ka i nye ha nri n'otu n'otu, mgbe oge iri nri ha ruru.
28 Ị na-enye ha nri;
ha na-erikwa ya.
Mgbe i meghere ọbụ aka gị nye ha nri,
afọ na-eju ha nke ọma.
29 Mgbe i zonarịrị ha ihu gị,
egwu na-eju ha obi.
Mgbe ị napụkwara ha ume ndụ i nyere ha,
ha na-ekubi ume, nwụọ, laghachikwa n'aja ebe ha siri pụta.
30 Mgbe i zipụrụ mmụọ gị,
a na-eke ha;
ị na-agbanwekwa ihu elu ụwa.

31 Ka ebube ONYENWE ANYỊ dịgide site n'ebighị ebi ruo n'ebighị ebi;
ka ọrụ aka ONYENWE ANYỊ niile wetara ya ọṅụ,
32 onye na-ele ụwa anya, ụwa amaa jijiji,
onye na-emetụ ugwu niile aka, ha na-akwụ anwụrụ ọkụ.

33 Aga m abụku ONYENWE ANYỊ abụ ogologo ụbọchị niile nke ndụ m;
aga m abụku Chineke m abụ otuto oge niile m na-adị ndụ.
34 Ka ntụgharị uche m niile bụrụ ihe na-atọ ya ụtọ,
dịka m na-aṅụrị ọṅụ n'ime ONYENWE ANYỊ.
35 Ka e kpochapụ ndị mmehie niile site n'ụwa.
Ka ndị niile na-emebi iwu gharakwa ịdị ọzọ.

Too ONYENWE ANYỊ gị mkpụrụobi m!

Toonu ONYENWE ANYỊ!

# Abụ Ọma 105

*Toonu Chineke onye na-edebe ọgbụgba ndụ*

1 Nyenụ ONYENWE ANYỊ otuto, kwupụtakwa aha ya.
Meenụ ka amata n'etiti mba niile banyere ihe niile ọ rụrụ.
2 Bụkuo ya abụ, bụkuo ya abụ otuto;
kwupụtanụ ọrụ ihe ịrịbama ya niile.
3 Ṅụrianụ n'ime aha nsọ ya;
ka obi ndị niile na-achọ ONYENWE ANYỊ ṅụrịa.
4 Na-achọnụ ONYENWE ANYỊ na ike ya,
chọọnụ ihu ya mgbe niile.

5 Chetanụ ọrụ ebube niile nke ọ rụrụ,
ihe ịrịbama ya niile na ikpe ziri ezi niile si n'ọnụ ya pụta,
6 unu ụmụ ụmụ Ebraham, bụ ohu ya,
unu ụmụ ụmụ Jekọb, ndị ọ họpụtara.
7 Ya onwe ya bụ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị;
ikpe ya dị n'ụwa niile.

8 Ọ na-echeta ọgbụgba ndụ ya ruo mgbe ebighị ebi,
bụ nkwa o kwere nye puku ọgbọ,

9 ọgbụgba ndụ ahụ nke ya na Ebraham gbara
na iyi ọ ṅụrụ nye Aịzik.
10 O mere ka o guzoro nye Jekọb dịka ụkpụrụ,
ma n’ebe Izrel nọ, dịka ọgbụgba ndụ ebighị ebi:
11 “Aga m enye gị ala Kenan
dịka oke i ga-eketa.”

12 Mgbe ha dị ole na ole n’ọnụọgụgụ,
n’ezie ha dị ole na ole, bụrụkwa ọbịa n’ime ya.
13 Ha wagharịrị site n’otu mba gaa na mba ọzọ,
sitekwa n’otu alaeze gaa alaeze ọzọ.
14 O kweghị ka onye ọbụla mekpaa ha ahụ;
ọ baara ndị eze mba n’ihi ha;
15 sị, “Unu emetụkwala ndị m e tere mmanụ aka;
unu emekpakwala ndị amụma m ahụ.”

16 O zitere ụnwụ n’ala ahụ,
bibie ụzọ niile ha si enweta ihe oriri;
17 o zipụrụ otu nwoke ka ọ gaa n’ihu ha,
Josef, onye e refuru dịka ohu.
18 Ha ji mkpọrọ igwe merụọ ya ahụ n’ụkwụ,
nyanyekwa ya mkpọrọ igwe n’olu,
19 tutu ruo mgbe ihe ahụ o kwuru na ọ ga-eme mezuru,
tutu ruo mgbe okwu Onyenwe anyị nwapụtara ya dịka onye eziokwu.
20 Eze ahụ zipụrụ ozi ka a tọpụ ya,
onye ahụ na-achị ndị dị iche iche mere ka o nwere onwe ya.
21 O mere ya ka ọ bụrụ onyenwe ezinaụlọ ya,
onye na-achị ihe niile o nwere,
22 ikuziri ụmụ eze ndị ikom dịka o si masị ya,
na izi ndị okenye ya amamihe.

23 Mgbe ahụ, Izrel bara n’ala Ijipt;
Jekọb bikwara n’ala Ham dịka onye si mba ọzọ bịa.
24 Onyenwe anyị mere ka ndị ya mụbaa nke ukwuu;
o mere ka ndị ya dị ukwuu n’ọnụọgụgụ karịa ndị iro ha,
25 ndị ọ tụgharịrị obi ha ka ha kpọọ ndị ya asị,
ka ha gbaa izu nzuzo megide ndị ohu ya.
26 O zipụrụ Mosis, ohu ya,
na Erọn, onye ọ họpụtara.
27 Ha mere ọtụtụ ihe ịrịbama dị iche iche n’etiti ha,
ọrụ ebube ya dị iche iche n’ala Ham.
28 O zipụrụ ọchịchịrị, mee ka ala ahụ gbaa ọchịchịrị,
n’ihi na ha nupuru isi megide okwu ya.
29 O mere ka mmiri ha niile ghọọ ọbara,
nke mere ka azụ niile dị n’ime ya nwụsịa.
30 Ala ha niile jupụtara n’awọ
ọ bụladị n’ime ọnụụlọ ndina nke ndị na-achị achị.
31 O kwuru okwu, igwe ijiji na anwụ nta
dị iche iche ejupụta n’ala ha niile.
32 N’ọnọdụ mmiri ozuzo, o zitere ha

mkpụrụ mmiri na amụma egbe eluigwe n’ala ha niile;
33 o tijisịrị osisi vaịnị na osisi fiig niile ha,
kwatusịakwa osisi niile dị n’ala ha.
34 O kwuru okwu, igurube na ụkpana
a na-apụghị ịgụta ọnụ jupụtara ebe niile;
35 ha richapụrụ ihe niile bụ ahịhịa ndụ dị n’ala ahụ,
ripịakwa mkpụrụ niile ha kụrụ n’ubi ha.
36 Mgbe ahụ, o gburu ndị niile e buru ụzọ mụọ n’ala ahụ,
mkpụrụ mbụ nke ndị ikom ha.
37 Ọ kpọpụtara ụmụ Izrel, ndị chịịrị ọlaọcha na ọlaedo,
ọ dịghị otu onye n’ime ebo ya niile nke ahụ na-esighị ike.
38 Obi dị Ijipt ụtọ mgbe ha pụrụ,
n’ihi na oke egwu ndị Izrel dakwasịrị ha.

39 Ọ gbasara igwe ojii dịka ihe mkpuchi,
na ọkụ na-enye ìhè n’abalị.
40 Ha rịọrọ ya, o zitere ha ụmụ nnụnụ kweel,
jirikwa achịcha si n’eluigwe nyejuo ha afọ.
41 O tiwara nkume ahụ, mmiri sọpụtara;
ọ sọgharịrị n’ime ọzara dịka iyi.

42 N’ihi na o chetara nkwa ya dị nsọ,
nke o kwere ohu ya Ebraham.
43 O ji aṅụrị dupụta ndị ya,
jirikwa ọnọdụ iti mkpu ọṅụ dupụta ndị ya ọ họpụtara;
44 o nyere ha ala niile nke mba dị iche iche,
ha ghọrọ ndị nnweta nke ihe ndị ọzọ rụpụta,
45 ka ha nwee ike debe ụkpụrụ ya niile
ma na-erubekwa isi n’iwu ya niile.

Toonu ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 106

*Toonu Chineke onye ebere*
1 Toonu ONYENWE ANYỊ.

Keleenụ ONYENWE ANYỊ n’ihi na ọ dị mma;
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

2 Onye pụrụ ikwupụtasịcha ihe ukwu niile nke ONYENWE ANYỊ na-arụ
maọbụ kwupụta otuto ya niile?
3 Ndị a gọziri agọzi ka ha bụ, bụ ndị na-edebe ikpe ziri ezi,
ndị ahụ na-eme ezi ihe mgbe niile.

4 O ONYENWE ANYỊ, cheta m mgbe ị ga-egosi ndị gị ihuọma,
bịa leta m, mgbe ị na-azọpụta ha,
5 ka m soro keta oke na ngọzị ndị gị ị họpụtara,
ka m keta oke n’ọṅụ ahụ dịrị mba gị
sorokwa ihe nketa gị nye otuto.

6 Anyị emehiela, dịka nna nna anyị ha mehiere;
anyị emeela ihe ọjọọ, rụọkwa ọrụ ajọ omume.
7 Mgbe nna nna anyị ha nọ n'Ijipt,
ha echeghị uche banyere ọrụ ebube gị niile;
ha echetakwaghị ịba ụba nke ebere gị niile,
kama ha nupuru isi n'akụkụ oke osimiri ahụ, bụ Osimiri Uhie.
8 Ma ọ zọpụtara ha n'ihi aha ya,
ime ka a mara ike ya dị ukwuu.
9 Ọ baara Osimiri Uhie mba, ọ tachaa;
o dufere ndị ya site n'ebe dị omimi gafee dịka ọ bụ ọzara.
10 Ọ zọpụtara ha site n'aka ndị kpọrọ ha asị;
gbapụtakwa ha site n'aka ndị iro ha.
11 Mmiri ahụ riri ndị iro ha niile;
ọ dịghị otu onye n'ime ha fọdụrụ.
12 Mgbe ahụ, ha kweere okwu gị niile,
ma bụkuo gị abụ otuto.

13 Ma o teghị aka, ha chefuru ihe niile ọ rụrụ,
ha e chereghị ka ndụmọdụ ya pụta ìhè.
14 N'ọzara, ha sooro ọchịchọ nke obi ha;
n'ala tọgbọrọ n'efu, ha nwara Chineke ọnwụnwa.
15 N'ihi ya, o nyere ha ihe ha rịọrọ ya,
ma zite ọrịa na-efe efe ka ọ dakwasị ha.

16 N'etiti ọmụma ụlọ ikwu ha, ha kworo ekworo megide Mosis
na Erọn, ndị e doro nsọ nye Onyenwe anyị.
17 Ala meghere loda Datan,
o likwara Abiram, na ndị otù ya.
18 Ọkụ repịara ndị niile sonyere ha;
ire ọkụ repịara ndị ajọ omume.
19 Na Horeb, ha kpụrụ nwa ehi,
kpọọ isiala nye arụsị e jiri igwe pịa.
20 Ha jiri oyiyi oke ehi nke na-ata ahịhịa
gbanwere Ebube ha.
21 Ha chefuru Chineke, onye zọpụtara ha,
onye rụrụ ọtụtụ ọrụ dị ukwuu n'Ijipt,
22 ọtụtụ ihe ịrịbama n'ala Ham,
na ọtụtụ ọrụ ịtụnanya n'akụkụ Osimiri Uhie.
23 N'ihi ya, o kwuru na ọ ga-ala ha n'iyi,
ma Mosis, onye ya ọ họpụtara,
guzoro n'etiti ndị ahụ na Chineke,
ka oke iwe ya ghara ịla ha n'iyi.

24 Emesịa, ha ledara ala ọma ahụ anya,
ha ekwenyeghị na nkwa ya.
25 Ha tamuru ntamu n'ime ụlọ ikwu ha;
ha erubekwaghị isi nye ONYENWE ANYỊ.
26 N'ihi nke a, o weliri aka ya elu ṅụọrọ ha iyi
na ọ ga-eme ka ha niile nwụọ n'ọzara,
27 mee ka agbụrụ ha daa n'etiti mba dị iche iche,

ma chụsasịa ha n’ala niile.

28 Ha dịnyeere ndị na-efe arụsị Baal nke Peoa,
riekwa ihe e ji chụọrọ chi na-enweghị ndụ aja;
29 ha sitere n’ajọ omume ha kpasuo ONYENWE ANYỊ iwe,
nke mere ka ọrịa na-efe efe dakwasị ha.
30 Ma Finehaz guzoro ọtọ, mee ihe ziri ezi,
ọrịa ahụ na-efe efe kwụsịkwara.
31 A gụnyere nke a dịka ezi omume nye ya
site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ.
32 N’akụkụ mmiri Meriba, ha kpasuru ONYENWE ANYỊ iwe,
n’ihi ha, nsogbu dakwasịrị Mosis;
33 n’ihi na ha nupuru isi megide Mmụọ nke Chineke,
Mosis kwuru okwu, na-echeghị echiche banyere ihe ọ na-ekwu.

34 Ha egbuchapụghị mba niile bi n’ala ahụ
dịka ONYENWE ANYỊ dọrọ ha aka na ntị ka ha mee.
35 Kama ha gwakọtara onwe ha na mba niile nke ala ahụ,
site otu a, mụta ime ka ha na-eme.
36 Ha fere arụsị ha ofufe,
nke ghọrọ ihe ịma n’ọnya nye ha.
37 Ha gara n’ihu were ụmụ ha ndị ikom na ndị
inyom chụọrọ chi na-abụghị chi aja.*
38 Ha na-awụfu ọbara ndị na-emeghị ihe ọbụla,
ọbara ụmụ ha ndị ikom na ndị inyom,
bụ ndị ha chụrụ dịka aja nye arụsị niile nke ala Kenan,
si otu a jiri ọbara ha merụọ ala ahụ.
39 Ha sitere n’ihe ha na-eme merụọ onwe ha;
site n’aka ọrụ ha, maka uru ha nyefere onwe ha n’aka ndị na-emerụ ha.

40 N’ihi nke a, iwe were ONYENWE ANYỊ megide ndị ya;
ọ gụkwara ihe nketa ya dịka ihe rụrụ arụ.
41 Ọ raara ha nye n’aka ndị mba ọzọ dị iche iche,
ndị kpọrọ ha asị chịkwara ha.
42 Ndị iro ha mekpara ha ahụ
chie ha ọnụ n’ala n’okpuru ike ha.
43 Ọtụtụ oge, ọ napụtara ha,
ma ha nọgidesịrị ike n’inupu isi site na ndụmọdụ ya,
bụrụ ndị lara n’iyi n’ime mmehie ha.
44 Ma mgbe ọ nụrụ mkpu akwa ha,
ọnọdụ mkpagbu ha metụtara ya;
45 n’ihi ha, o chetara ọgbụgba ndụ ya,
sitekwa n’oke ịhụnanya ya, meere ha ebere.
46 Ọ na-emekwa ka ndị ahụ dọtara ha n’agha
nwee ọmịiko n’ahụ ha.

47 O ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, zọpụta anyị,
chịkọta anyị site n’aka mba dị iche iche,
ka anyị nwee ike nye aha nsọ gị ekele

* **Abụ Ọma 106:37** 106:37 Maọbụ, ajọ mmụọ

ma nyaakwa isi n’ime otuto gị.

48 Otuto dịrị ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke nke Izrel,
site n’ebighị ebi ruo ebighị ebi.

Ka mmadụ niile sị, “Amen!”

Toonu ONYENWE ANYỊ.

# Nchịkọta nke ise

## 107

*Abụ Ọma 107–150*

*Ekele maka Chineke onye na-anapụta*

1 Keleenụ ONYENWE ANYỊ, n’ihi na ọ dị mma;
ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

2 Ka ndị niile ONYENWE ANYỊ gbapụtara kwuo otu a,
ndị niile ọ gbapụtara site n’aka onye kpọrọ ha asị,
3 ndị ọ kpọlatara site n’ala niile dị iche iche,
site n’ọwụwa anyanwụ na ọdịda anyanwụ, site n’ugwu na ndịda.

4 Ụfọdụ wagharịrị n’ọzara, ala nke tọgbọrọ n’efu,
ha enweghị ike ịchọta ụzọ nke ga-eduba ha n’obodo ebe ha ga-ebi.
5 Agụụ gụrụ ha, akpịrị kpọkwara ha nkụ,
olileanya gwụrụ ha n’obi.
6 Mgbe ahụ, ha kpọkuru ONYENWE ANYỊ, n’ime nsogbu ha,
ọ napụtakwara ha site na mkpagbu ha niile.
7 O duuru ha n’ụzọ ziri ezi
baa n’obodo ha ga-ebi.
8 Ka ha kelee ONYENWE ANYỊ n’ihi ịhụnanya ya nke na-adịghị agwụ agwụ
na n’ihi ọrụ ebube ya niile nye ụmụ mmadụ,
9 n’ihi na o jirila ọtụtụ ezi ihe nyejuo ndị agụụ na-agụ afọ
meekwa ka onye akpịrị na-akpọ nkụ ṅụjuo afọ.

10 Ụfọdụ nọdụrụ ala n’ọchịchịrị na n’ọnọdụ oke ihe mwute nke obi,
ndị nọ n’ụlọ mkpọrọ na-ata ahụhụ ndị e ji mkpọrọ igwe kee ha agbụ,
11 n’ihi na ha nupuru isi megide okwu niile nke Chineke
ma lelikwaa ndụmọdụ niile nke Onye kachasị ihe niile elu.
12 N’ihi ya, Chineke mere ka ha hụjuo anya site n’ịdọgbu onwe ha n’ọrụ,
ha sụrụ ngọngọ daa, ma ọ dịghị onye ọbụla nyeere ha aka ibilite ọtọ.
13 Mgbe ahụ, ha kpọkuru ONYENWE ANYỊ n’ime nsogbu ha,
ọ zọpụtara ha site na mkpagbu ha niile.
14 O mere ka ha site n’ọchịchịrị na oke ihe mwute nke obi pụta.
O tijikwara agbụ ha niile.
15 Ka ha kelee ONYENWE ANYỊ n’ihi ịhụnanya ya, nke na-adịghị agwụ agwụ
na n’ihi ọrụ ebube ya niile nye ụmụ mmadụ,
16 n’ihi na o tijisiela ọnụ ụzọ ama niile e ji bronz kpụọ
gbujiekwa mkpọrọ ịkpọchi ụzọ niile e ji igwe kpụọ.

17 Ụfọdụ ghọrọ ndị nzuzu site na nnupu isi
taakwa ahụhụ n’ihi njehie ha niile.
18 Ihe oriri ọbụla ghọọrọ ha ihe rụrụ arụ
ha bịakwara ọnụ ụzọ ama ọnwụ nso.
19 Mgbe ahụ, ha kpọkuru ONYENWE ANYỊ n’ime nsogbu ha
ọ zọpụtara ha site na mkpagbu ahụ niile.
20 O zipụrụ okwu ọnụ ya, gwọọ ha;
ọ napụtara ha site n’ili.
21 Ka ha kelee ONYENWE ANYỊ n’ihi ịhụnanya ya nke na-adịghị agwụ agwụ
na n’ihi ọrụ ebube ya niile nye ụmụ mmadụ.
22 Ka ha chụọ aja ekele nye ya
jirikwa ọtụtụ abụ ọṅụ kwupụta banyere ọrụ ya niile.

23 Ụfọdụ ji ụgbọ mmiri na-ejegharị n’elu oke osimiri;
ha bụ ndị na-azụ ahịa ma na-ebugharịkwa ngwa ahịa n’elu oke osimiri.
24 Ha hụrụ ọrụ niile nke ONYENWE ANYỊ,
ọtụtụ ọrụ ebube ya n’ogbu mmiri.
25 N’ihi na o kwuru okwu mere ka oke ifufe kuo
nke buliri ebili mmiri elu.
26 Ha bụ ndị e buliri nnọọ ezigbo elu, ma budatakwa ruo ogbu mmiri niile;
n’ọnọdụ ihe egwu ahụ, obi lọrọ ha mmiri.
27 Ha na-adagharị, na-aṅagharịkwa dịka ndị ṅụbigara mmanya oke.
Mmụta ha banyere ịnya ụgbọ mmiri adịghị enyekwara ha aka n’oge dị otu a.
28 Mgbe ahụ, ha kpọkuru ONYENWE ANYỊ n’ime nsogbu ha,
o mere ka ha pụta na mkpagbu ahụ niile.
29 O mere ka oke ifufe dere duu;
o mekwara ka ebili mmiri nke oke osimiri dajụọ.
30 Ha ṅụrịrị ọṅụ mgbe ọ dajụrụ,
o duuru ha ruo ebe ha na-aga n’udo.
31 Ka ha kelee ONYENWE ANYỊ n’ihi ịhụnanya ya nke na-adịghị agwụ agwụ
na n’ihi ọrụ ebube ya niile nye ụmụ mmadụ.
32 Ka ha bulie ya elu n’etiti ọgbakọ ukwu ụmụ mmadụ
ma tookwa ya na nzukọ ndị okenye.

33 Ọ na-eme ka iyi ghọọ ọzara;
na-emekwa ka ebe mmiri si asọpụta ghọọ ala kpọrọ nkụ.
34 Ọ na-eme ka ala na-amị mkpụrụ hiri nne ghọọ ọzara,
n’ihi ajọ omume nke ndị bi n’ime ya.
35 Ọ na-eme ka ọzara ghọọ ala nke ọdọ mmiri jupụtara
mee ka ala akọrọ ghọọ isi iyi nke na-asọ asọ;
36 ebe ahụ ka ọ kpọbatara ndị agụụ na-agụ ka ha biri,
ebe ahụ ka ha wuru obodo ebe ha ga-ebi.
37 Ha ghara mkpụrụ n’ubi ha dị iche iche, kụọkwa ọtụtụ ubi vaịnị
ndị mịrị mkpụrụ dị ukwuu;
38 ọ gọziri ha, ọnụọgụgụ ha bakwara ụba,
o mekwara ka anụ ụlọ ha mụbaa.

39 Mgbe ahụ, ọnụọgụgụ ha adịghịkwa ka ọ dị na mbụ,
ha bụ ndị e ji mkpagbu na ihe ndakwasị na iru ụjụ wedata n’ala;
40 onye ahụ na-eleda ndị na-achị achị anya
mere ka ha wagharịa n’ọzara, ebe ụzọ na-adịghị.

41 Ma ọ na-anapụta ndị mkpa na-akpa site na nhụju anya ha,
mee ka ezinaụlọ ha mụbaa dịka igwe anụ ụlọ.
42 Ndị ezi omume na-ahụ ya na-aṅụrị ọṅụ,
ma ndị ajọ omume na-emechi ọnụ ha nọọ duu.

43 Onye ọbụla maara ihe ga-echezi echiche banyere ihe ndị a,
ma tuleekwa ọrụ ịhụnanya ONYENWE ANYỊ nke dị ukwuu.

# Abụ Ọma 108

Abụ, Abụ Ọma Devid.

*Ekpere n'oge nsogbu*

1 Obi m dị njikere, o Chineke;
aga m eji mkpụrụobi m niile bụọ abụ ma kụkwaa egwu.
2 Teta! Ụbọ akwara na une!
Aga m akpọte chi ọbụbọ.
3 Aga m eto gị, O ONYENWE ANYỊ, n'etiti mba niile;
aga m abụ abụ banyere gị n'etiti ndị niile dị iche iche.
4 N'ihi na ịhụnanya gị dị ukwuu karịa eluigwe;
ikwesi ntụkwasị obi gị na-erukwa mbara eluigwe.
5 Ka e bulie gị elu, o Chineke, karịa eluigwe niile,
ka ebube gị dị n'elu ụwa niile.

6 Were aka nri gị zọpụta anyị ma nyere anyị aka,
ka a gbapụta ndị ị hụrụ n'anya.
7 Chineke esitela n'ịdị nsọ ya kwuo, sị,
"N'ọnọdụ ọṅụ nke mmeri, aga m ekesa Shekem,
tụkwaa Ndagwurugwu Sukọt n'ihe ọtụtụ, nyepụ ya.
8 Gilead bụ nke m, Manase bụkwa nke m;
Ifrem bụ okpu igwe m,
Juda bụ mkpara eze m.
9 Moab bụ efere ịkwọ aka m,
aga m atụsa akpụkpọụkwụ m n'elu Edọm
n'elu isi Filistia, ana m eti mkpu mmeri."

10 Onye ga-akpọrọ m gaa n'obodo e wusiri ike?
Onye ga-edu m gaa Edọm?
11 Ọ bụghị gị, o Chineke? Gị onye jụrụ anyị,
onye na-adịghị esokwa ndị agha anyị aga agha?
12 Nyere anyị aka ka anyị pụọ n'aka ndị iro,
n'ihi na inyeaka mmadụ bụ ihe efu.
13 Site na Chineke, anyị ga-enwe mmeri,
ọ ga-azọpịa ndị iro anyị niile n'ala.

# Abụ Ọma 109

Abụ Ọma nke dịrị onyeisi Abụ. Abụ Ọma Devid.

*Ntamu n'oge nsogbu*

1 O Chineke, onye m na-eto,
anọgidekwala na-agba nkịtị,
2 n'ihi na ndị ajọ omume na ndị aghụghọ

emegheela ọnụ ha megide m;
ha aghaala ụgha megide m.
3 Ha na-eji okwu ịkpọ asị gbaa m gburugburu;
na-ebuso m agha n'efu.
4 N'ọnọdụ ịhụnanya m hụrụ ha, ha na-ebo m ebubo
ma abụ m nwoke onye ekpere.
5 Ha ji ihe ọjọọ na-akwụ m ụgwọ ihe ọma m mere,
ịkpọ asị n'ọnọdụ ịhụnanya.

6 Họpụta otu onye ajọ omume ka o guzogide ya;
ka onye na-ebo ebubo ụgha guzokwa n'aka nri ya.
7 Mgbe a ga-ekpe ya ikpe, ka ọ bụrụ onye ikpe mara,
ka ekpere ya maa ya ikpe ọnwụ.
8 Ka ụbọchị ndụ ya dị ole na ole,
ka onye ọzọ nara ya ọkwa ya.
9 Ka ụmụ ya ghọọ ndị na-enweghị nna,
ka nwunye ya bụrụ nwanyị na-enweghị di.
10 Ka ụmụ ya ghọọ ndị arịrịọ na-enweghị ebe obibi,
ndị e si na mkpọmkpọ ebe ha bi chụpụ.
11 Ka ndị o ji ụgwọ kwakọrọ ihe niile o nwere,
ka ndị ọbịa baa bukọrọ ihe niile ọ rụpụtaara onwe ya.
12 Ka onye ọbụla ghara igosi ya obiọma;
ka onye ọbụla gharakwa imere ụmụ ya ndị ọ hapụrụ ebere.
13 Kama ka ụmụ ụmụ ya niile nwụsịa,
ka a ehichapụkwa aha ha n'ọgbọ nke na-abịa n'ihu.
14 Ka ONYENWE ANYỊ chetakwa mmehie niile nke nna nna ya ha,
ka Onyenwe anyị hapụkwa ịgbaghara mmehie nne ya.
15 Ka ONYENWE ANYỊ na-echeta mmehie ha oge niile;
ma ka o mee ka ha bụrụ ndị a ga-echefu echefu n'ọgbọ niile.

16 N'ihi na ọ dịghị mgbe o chere echiche banyere imere onye ọzọ obi ebere,
ọ kpagburu ndị ogbenye, ndị nọ na mkpa
na ndị obi ha tiwara etiwa ruo n'ọnwụ.
17 Ọ hụrụ ịbụ ndị ọzọ ọnụ n'anya,
ka ọbụbụ ọnụ bịakwasị ya;
ọ dịghị atọ ya ụtọ ịgọzi onye ọbụla,
ka ngọzị dị anya site n'ebe ọ nọ.
18 O yikwasịrị ịbụ ọnụ dịka uwe ya;
ọ bara n'ime ahụ ya dịka mmiri,
bakwaa n'ime ọkpụkpụ ya dịka mmanụ.
19 Ka ọ dịịrị ya ka uwe mwụda nke e kere ya gburugburu dịka akwa,
dịka belịt e kegidere ya gburugburu ruo mgbe ebighị ebi.
20 ONYENWE ANYỊ, mee ka nke a bụrụ ụdị ụgwọ ọrụ ndị iro m ga-anata,
bụ ndị ahụ niile na-ekwu okwu ọjọọ megide m.

21 Ma gị onwe gị, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
nyere m aka n'ihi aha gị,
site n'ịdị mma nke ịhụnanya gị, napụta m.
22 N'ihi na abụ m ogbenye na onye nọ na mkpa,
obi m tiwakwara etiwa n'ime m.

23 Ana m efu* dịka onyinyo nke a na-ahụ anya mgbe anwụ dara;
adịkwa m ka igurube nke onye m bekwasịrị n'ahụ ya na-efechapụ.
24 Ike agwụla ikpere m, n'ihi ibu ọnụ;
ataakwala m ahụ, bụrụ naanị ọkpụkpụ.
25 Aghọọla m onye e ji eme ihe ọchị nye ndị na-ebo m ebubo,
mgbe ha hụrụ m, ha na-efufe isi ha.

26 Nyere m aka, o ONYENWE ANYỊ Chineke m;
zọpụta m dịka ịhụnanya gị si dị.
27 Ka ha mara na ọ bụ aka gị,
na ọ bụ gị, o ONYENWE ANYỊ, mere ya.
28 Ha nwere ike nọgide na-abụ ọnụ, ma ị ga-agọzi;
mgbe ha ga-abịa ọgụ, a ga-eme ha ihe ihere,
ma ohu gị ga-aṅụrị ọṅụ.
29 A ga-eji ihere yikwasị ndị na-ebo m ebubo dịka uwe
werekwa ihere kee ha gburugburu dịka uwe mwụda.

30 Aga m eji ọnụ m jaa ONYENWE ANYỊ mma nke ukwuu;
n'etiti ọha mmadụ dị ukwuu, aga m eto ya.
31 N'ihi na ọ na-eguzo n'aka nri nke onye nọ na mkpa,
ịzọpụta ya site n'aka ndị na-ama ya ikpe ọnwụ.

# Abụ Ọma 110

Abụ Ọma Devid.

*Onyenwe anyị na onye ya o tere mmanụ*

1 ONYENWE ANYỊ gwara Onyenwe m okwu sị ya:

"Nọdụ ala n'aka nri m
ruo mgbe m ga-eme ndị iro gị
ihe mgbakwasị ụkwụ nye ụkwụ gị."*

2 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ike ọchịchị gị site na Zayọn ruo ala ndị ọzọ;
ị ga-achị n'etiti ndị iro gị niile.
3 N'ụbọchị ị ga-ebu agha,
ndị agha gị niile ga-ahọrọ n'onwe ha i soro gị.
Ndị yikwasịrị ịma mma nke ịdị nsọ ka uwe,
bụ ụmụ okorobịa gị ga-abịakwute gị
dịka igirigi site n'afọ ụtụtụ.

4 ONYENWE ANYỊ aṅụọla iyi,
ọ gaghị agbanwe uche ya:
"Gị onwe gị bụ onye nchụaja ruo mgbe ebighị ebi,
n'usoro Melkizedek."

5 Onyenwe anyị nọ n'aka nri gị.
Ọ ga-egwepịa ndị eze n'ụbọchị oke iwe ya.
6 Ọ ga-ekpe mba niile ikpe, na-atụkọta ndị nwụrụ anwụ,

---

* **Abụ Ọma 109:23** 109:23 Maọbụ, agba barịị * **Abụ Ọma 110:1** 110:1 N'oge ochie, a na-arụ ocheeze n'ebe dị elu, ma nwee ihe nrigo e ji arịgoru ya. Mgbe ahụ, ndị eze na-achịkwasa ụkwụ ha n'olu ndị ha meriri n'agha, Mat 22:44; Mak 12:36; Luk 20:42-43; Hib 1:13; 1Kọ 15:25.

ma gwepịa ndị na-achị achị n'elu ụwa niile.
7 Ọ ga-aṅụ mmiri site n'iyi nta nke dị n'akụkụ ụzọ;
n'ihi nke a, ọ ga-eweli isi ya elu.

# Abụ Ọma 111

*Toonu Onyenwe anyị*

1 Toonu ONYENWE ANYỊ!

Aga m eji obi m niile jaa ONYENWE ANYỊ mma
n'ime nzukọ ndị ụzọ ha ziri ezi na n'ime ọgbakọ ukwuu.

2 Ọrụ niile ONYENWE ANYỊ na-arụ dị ukwuu;
ndị niile na-enwe mmasị na ha na-atụgharị uche n'ime ha.
3 Ọrụ ya jupụtara n'ebube na ịma mma,
ezi omume ya na-adịgidekwa ruo mgbe ebighị ebi.
4 O meela ka e cheta ọrụ ebube ya niile;
ONYENWE ANYỊ bụ onye amara na onye ọmịiko.
5 Ọ na-egboro ndị na-atụ egwu ya mkpa ihe oriri;
ọ na-echetakwa ọgbụgba ndụ ya ruo mgbe ebighị ebi.

6 O gosila ndị ya ike nke ọrụ ya niile,
site n'inye ha ala niile nke ndị mba ọzọ.
7 Ọrụ aka ya niile bụ ihe kwesiri ekwesi na ikpe ziri ezi;
ụkpụrụ ya niile bụ ihe kwesiri ntụkwasị obi.
8 E hiwere ha ịdị ruo mgbe niile ebighị ebi,
ha bụ ihe e mere n'ikwesị ntụkwasị obi na izi ezi.
9 O wetaara ndị ya mgbapụta;
o meela ka ọgbụgba ndụ ya guzosie ike ruo ebighị ebi,
aha ya dị nsọ dịkwa oke egwu.

10 Ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ bụ mmalite amamihe;
ndị niile na-edebe ụkpụrụ ya nwere ezi nghọta.
Otuto ya na-adị ruo mgbe ebighị ebi.

# Abụ Ọma 112

*Ụgwọ ọrụ nke onye ezi omume*

1 Toonu ONYENWE ANYỊ.

Onye a gọziri agọzi ka nwoke ahụ bụ onye na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ;
onye na-enwe oke mmasị idebe iwu ya niile.

2 Ụmụ ya ga-abụ ndị dị ike n'ala ahụ;
ọgbọ ndị na-eme ihe ziri ezi ga-abụ ndị a gọziri agọzi.
3 Akụnụba na-adịgide n'ụlọ ya;
ezi omume ya na-adịgidekwa ruo mgbe ebighị ebi.
4 Ìhè na-enwuru ndị na-eme ihe ziri ezi, ọ bụladị n'ime ọchịchịrị,
nyekwa ndị na-eme amara, ndị obiọma na ndị ezi omume.
5 Ihe ọma ga-abịara onye ahụ na-eme ebere na-ejikwa obi ya agbazinye ndị mmadụ
ihe,

onye na-eji ikpe ziri ezi arụ ọrụ ya niile.

6 N’ezie, agaghị ewezuga ya n’ọnọdụ ya;
a ga-echeta onye ezi omume ruo mgbe ebighị ebi.
7 Ọ gaghị atụ egwu akụkọ ọjọọ;
obi ya na-eguzosi ike, na-atụkwasị ONYENWE ANYỊ obi.
8 Obi ya siri ike, ọ gaghị atụ egwu ihe ọbụla;
n’ikpeazụ, ọ ga-ele ndị na-akpọ ya asị anya na mmeri.
9 Ọ gbasapụrụ aka ya nye ndị ogbenye onyinye dị iche iche,
ezi omume ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi;
a ga-ewere nsọpụrụ welie mpi ya elu.

10 Iwe ga-ewe onye ajọ omume mgbe ọ ga-ahụ ya,
ọ ga-atagide ikikere eze tutu ọ nwụọ;
olileanya niile nke ndị ajọ omume ga-ala n’iyi.

# Abụ Ọma 113

*Abụ otuto*
1 Toonu ONYENWE ANYỊ!

Toonu ONYENWE ANYỊ unu ndị ohu ya.
Toonu aha ONYENWE ANYỊ.
2 Ka aha ONYENWE ANYỊ bụrụ ihe a gọziri agọzi
site ugbu a ruo mgbe ebighị ebi.
3 Site n’ọwụwa anyanwụ ruo n’ọdịda ya,
aha ONYENWE ANYỊ ga-abụ ihe a na-eto eto.

4 ONYENWE ANYỊ dị elu karịa mba niile,
ebube ya dị elu karịa eluigwe.
5 Onye dị ka ONYENWE ANYỊ Chineke anyị,
onye nọkwasịrị ocheeze n’ebe dị elu,
6 onye na-eme onwe ya ka ọ dị ala ilekwasị
eluigwe na ụwa anya?

7 Ọ na-esi n’uzuzu bulie ogbenye elu
sitekwa n’ebe ikpofu ahịhịa bulie onye nọ na mkpa elu;
8 ọ na-eme ka ya na ụmụ eze ndị ikom nọkọọ,
ọ na-eme ka o soro ndị a maara aha ha n’etiti ụmụ mmadụ nọkọọ.
9 Ọ na-eme ka nwanyị aga biri n’ụlọ nke ya
dịka nne mụrụ ọtụtụ ụmụ ọńụ juru obi.

Toonu ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 114

*Abụ ncheta ngabiga*
1 Mgbe ụmụ Izrel si n’ala Ijipt pụta,
mgbe ezinaụlọ Jekọb sitekwara n’ebe ndị asụsụ ha dị iche pụta,
2 Juda ghọrọ ebe nsọ Chineke,
Izrel ghọrọ ala ọ na-achị.

3 Osimiri hụrụ ya, gbaa ọsọ,*
osimiri Jọdan hụkwara ya chigharịa laa azụ†;
4 Ugwu ukwu niile wụliri elu dịka ebule;
ugwu nta niile wụlikwara elu dịka ụmụ atụrụ.

5 Gịnị mere gị oke osimiri, i ji na-agba ọsọ?
Osimiri Jọdan, gịnị na-eme gị i ji chigharịa laa azụ?
6 Gịnị na-eme unu, ugwu ukwu niile unu ji na-awụli elu dịka ụmụ ebule?
Gịnị na-emekwa unu, ugwu nta niile, unu ji na-awụli elu dịka ụmụ atụrụ?

7 Ka ụwa niile maa jijiji n'ihu Onyenwe anyị,
ka ọ maakwa jijiji n'ihu Chineke nke Jekọb,
8 onye mere ka oke nkume ghọọ ọdọ mmiri,
onye mere ka ọmụ nkume ghọọ isi iyi mmiri.‡

# Abụ Ọma 115

*Nyenụ Chineke otuto*

1 Ọ bụghị anyị ka ọ dịrị, o ONYENWE ANYỊ, ọ bụghị anyị ka ọ dịrị,
kama ọ bụ aha gị ka ebube na-adịrị,
n'ihi ịhụnanya gị na ikwesi ntụkwasị obi gị.

2 Gịnị mere ọtụtụ mba niile nke ụwa ji na-ajụ sị,
"Olee ebe Chineke ha nọ?"
3 Chineke anyị bi n'eluigwe.
Ọ bụkwa ihe tọrọ ya ụtọ n'obi ka ọ na-eme.
4 Arụsị ha niile bụ ọlaọcha na ọlaedo ka e ji kpụọ ha,
ha bụ ọrụ aka mmadụ.
5 Ha nwere ọnụ ma ha adịghị ekwu okwu,
ha nwere anya abụọ ma ha adịghị ahụ ụzọ;
6 ha nwere ntị ma ha adịghị anụ ihe,
ha nwekwara imi ma ha adịghị anụ isisi ọbụla;
7 ha nwere aka, ma ha adịghị emetụ ihe ọbụla aka,
ha nwere ụkwụ, ma ha adịghị eje ije;
ha enweghị ike iji akpịrị ha mee mkpọtụ ọbụla.
8 Ndị na-eme ha ga-adịkwa ka ha.
Ndị na-atụkwasị ha obi ga-adịkwa ka ha.

9 Ụmụ Izrel, tụkwasịnụ ONYENWE ANYỊ obi
ọ bụ onye inyeaka ha na ọta ha.
10 Ezinaụlọ Erọn, tụkwasịnụ ONYENWE ANYỊ obi.
Ọ bụ ya bụ onye inyeaka ha na ọta ha.
11 Unu ndị na-atụ egwu ya, tụkwasịnụ ONYENWE ANYỊ obi
ọ bụ onye inyeaka ha na ọta ha.

12 ONYENWE ANYỊ na-echeta anyị, ọ ga-agọzikwa anyị,
ọ ga-agọzi ndị ya bụ Izrel,
ọ ga-agọzi ezinaụlọ Erọn,
13 ọ ga-agọzi ndị niile na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ,

* **Abụ Ọma 114:3** 114:3 Ọpụ 14:21 † **Abụ Ọma 114:3** 114:3 Jos 3:12-16 ‡ **Abụ Ọma 114:8** 114:8 Aịz 48:21; 1Kọ 10:4

ma onye nta ma onye ukwu.

14 Ka ONYENWE ANYỊ mee ka unu mụbaa,
unu na ụmụ unu.
15 Ka ONYENWE ANYỊ onye kere eluigwe na elu ụwa
gọzie unu.

16 Eluigwe niile bụ nke ONYENWE ANYỊ,
ọ bụkwa ya nyere ụmụ mmadụ elu ụwa niile.
17 Ọ bụghị ndị nwụrụ anwụ na-eto ONYENWE ANYỊ,
ndị na-arịda n'ebe ịnọ duu;
18 ọ bụ anyị ga-aja ONYENWE ANYỊ mma,
site ugbu a ruo mgbe ebighị ebi.

Toonu ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 116

*Chineke na-anapụta*

1 Ahụrụ m ONYENWE ANYỊ n'anya, n'ihi na ọ nụrụ olu m;
ọ nụrụ mkpu akwa m maka ebere.
2 N'ihi na o gere m ntị,
aga m akpọku ya oge ndụ m niile.

3 Agbụ nke ọnwụ kekọrọ m,
oke ihe mgbu nke ili bịakwasịrị m;
nsogbu na iru ụjụ dakwasịrị m.
4 Mgbe ahụ, akpọkuru m aha ONYENWE ANYỊ:
"O ONYENWE ANYỊ, zọpụta m!"

5 ONYENWE ANYỊ bụ onye na-eme ebere na onye ezi omume.
Chineke anyị jupụtakwara n'ọmịiko.
6 ONYENWE ANYỊ na-echebe ndị na-enweghị uche;
mgbe m nọ n'ọnọdụ mkpa, ọ zọpụtara m.

7 Laghachi azụ zuru ike, gị mkpụrụobi m,
n'ihi na ONYENWE ANYỊ emesola gị mmeso ọma.

8 N'ihi na gị, o ONYENWE ANYỊ, napụtara mkpụrụobi m site n'ọnwụ,
anya m site na anya mmiri akwa,
napụtakwa ụkwụ m site n'ịsọ ngọngọ,
9 ka m nwee ike jegharịa n'ihu ONYENWE ANYỊ
n'ime ala ebe ndị dị ndụ bi.

10 Ekwenyere m na ONYENWE ANYỊ mgbe m kwuru sị,
"Abụ m onye nọ n'oke nsogbu,"
11 n'ime ịda mba m, ekwuru m sị,
"Mmadụ niile bụ ndị ụgha."

12 Gịnị ka m ga-enyeghachi ONYENWE ANYỊ
n'ihi mmeso ọma niile o mesoro m?

13 Aga m eweli iko nke nzọpụta m elu
kpọkuokwa aha ONYENWE ANYỊ.
14 N'ihu ndị ya niile ka m ga-anọ
mezuo nkwa m kwere ONYENWE ANYỊ.

15 Ọnwụ nke ndị nsọ ya
dị oke ọnụahịa n'anya ONYENWE ANYỊ.
16 O ONYENWE ANYỊ, n'ezie, abụ m ohu gị;
abụ m ohu gị, nwa nwoke nke ohu gị nwanyị;
ị zọpụtala m site na agbụ e kere m.

17 Aga m achụrụ gị aja ekele
kpọkuokwa aha ONYENWE ANYỊ.
18 Ọ bụkwa n'ihu ndị ya niile
ka m ga-anọ kwụghachi ONYENWE ANYỊ nkwa m kwere,
19 n'ime ogige ụlọ ONYENWE ANYỊ,
n'etiti gị, O Jerusalem.

Toonu ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 117

*Too ya n'ihi ịhụnanya ya*

1 Toonu ONYENWE ANYỊ, unu mba niile dị iche iche.
Jaakwa ya mma, unu ndị niile dị iche iche.
2 N'ihi na ịhụnanya ya n'ebe anyị nọ dị ukwuu.
Ikwesi ntụkwasị obi ONYENWE ANYỊ na-adịkwa ruo mgbe ebighị ebi.

Toonu ONYENWE ANYỊ!

# Abụ Ọma 118

*Kelee Onyenwe anyị*

1 Keleenụ ONYENWE ANYỊ n'ihi na ọ dị mma;
ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

2 Ka ụmụ Izrel kwupụta n'onwe ha sị,
"Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi."
3 Ka ndị ezinaụlọ Erọn kwuokwa sị,
"Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi."
4 Ka ndị niile na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ kwuo sị,
"Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi."

5 N'ọnọdụ oke ihe mgbu m, akpọkuru m ONYENWE ANYỊ,
ọ zara m, mee ka m nwere onwe m.
6 ONYENWE ANYỊ nọnyeere m, agaghị m atụ egwu.
Gịnị ka mmadụ pụrụ ime m?
7 ONYENWE ANYỊ nọnyere m; ọ bụ onye na-enyere m aka.
Aga m ele ndị iro m anya na mmeri.

8 Ọ kachasị mma ịgbaba n'ime ONYENWE ANYỊ
karịa ịtụkwasị ụmụ mmadụ obi.

9 Ọ kachasị mma ịgbaba n’ime ONYENWE ANYỊ
karịa ịtụkwasị ndị amara aha ha obi.
10 Mba niile gbara m gburugburu
ma site n’aha ONYENWE ANYỊ aga m ala ha n’iyi.
11 Ha gbara m gburugburu,
ma site n’aha ONYENWE ANYỊ ka m na-egbuda ha.
12 Ha gbara m gburugburu dịka aṅụ,
ma e menyụọla ha dịka ogwu na-ere ọkụ;
site n’aha ONYENWE ANYỊ, ka m na-egbuda ha.
13 Akwaghachiri m azụ, agaara m ada,
ma ONYENWE ANYỊ nyere m aka.
14 ONYENWE ANYỊ bụ ike m na abụ m;
ọ ghọọla nzọpụta m.

15 Olu iti mkpu ọṅụ na mmeri
na-ada n’ime ụlọ ikwu ndị ezi omume:
“Aka nri ONYENWE ANYỊ emeela ọtụtụ ihe dị ukwuu!
16 Aka nri ONYENWE ANYỊ bụ ihe e weliri elu;
aka nri ONYENWE ANYỊ emeela ọtụtụ ihe dị ukwuu!”
17 Agaghị m anwụ,
kama aga m adị ndụ kwusaara ndị ọzọ ọrụ ebube ONYENWE ANYỊ rụrụ.
18 ONYENWE ANYỊ tara m ahụhụ nke ukwuu,
ma o nyefeeghị m n’aka ọnwụ.
19 Megheere m ọnụ ụzọ ama nke ezi omume;
aga m abanye nye ONYENWE ANYỊ ekele.
20 Nke a bụ ọnụ ụzọ ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ,
ebe ndị ezi omume ga-esite na ya banye.
21 Aga m enye gị ekele, n’ihi na ị zara m;
ị ghọọla nzọpụta m.

22 Nkume ahụ ndị na-ewu ụlọ jụrụ,
aghọọla nkume isi ntọala* ụlọ;
23 nke a bụ ọrụ aka ONYENWE ANYỊ,
ọ bụkwa ihe ịtụnanya n’anya anyị.
24 Nke a bụ ụbọchị ONYENWE ANYỊ anyị mere,
ka anyị ṅụrịa ọṅụ, nweekwa obi ụtọ n’ime ya.

25 O ONYENWE ANYỊ, zọpụta anyị;
o ONYENWE ANYỊ, mee ka ihe gaara anyị nke ọma.

26 Onye a gọziri agọzi ka onye ahụ bụ, nke na-abịa n’aha ONYENWE ANYỊ.
Anyị sitere n’ụlọ ONYENWE ANYỊ na-agọzi gị.
27 ONYENWE ANYỊ bụ Chineke,
ọ bụ ya mere ka ìhè ya mụkwasị anyị.
Chịrị igu nkwụ n’aka gị, soro ndị ji ọṅụ bata n’ogige Chineke
bịaruo n’ebe ịchụ aja.

28 Ị bụ Chineke m, aga m eto gị;
ị bụ Chineke m, aga m ebuli gị elu.

---
* **Abụ Ọma 118:22** 118:22 Ya bụ, isi nkuku ụlọ

29 Keleenụ ONYENWE ANYỊ n'ihi na ọ dị mma,
ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

# Abụ Ọma 119

*א Alef*

1 Ndị a gọziri agọzi ka ha bụ, bụ ndị ụzọ ha na-enweghị ihe ịta ụta ọbụla,
ndị na-ejegharị dịka iwu ONYENWE ANYỊ si dị.
2 Ndị a gọziri agọzi ka ha bụ, bụ ndị na-edebe ụkpụrụ ya
ma jirikwa obi ha niile na-achọsi ya ike.
3 Ha adịghị eme ihe ọjọọ ọbụla;
ha na-ejegharị n'ụzọ ya niile.
4 I doola ụkpụrụ
ndị a ga-erubekwara isi.
5 Ọ ga-adị m mma ma ọ bụrụ na m anọgidesie ike
na-erube isi nye iwu gị niile!
6 Mgbe ahụ, ihere agaghị eme m
mgbe m tulere uche n'iwu gị niile.
7 Aga m eji obi ziri ezi too gị
dịka m na-amụ ihe banyere iwu gị ziri ezi.
8 Aga m erubere iwu gị niile isi;
biko ahapụkwala m.

*ב Bet*

9 Olee ụzọ nwa okorobịa ga-esi bie ndụ dị nsọ?
Ọ bụ site n'ibi ndụ dịka okwu gị si dị.
10 Eji m obi m niile na-achọsi gị ike.
Ekwela ka m kpafuo site n'ihe niile i nyere n'iwu.
11 Ezoola m okwu gị niile n'obi m,
igbochi m imehie imegide gị.
12 Otuto dịrị gị, o ONYENWE ANYỊ;
kuziere m iwu gị niile.
13 Aga m eji egbugbere ọnụ m gụgharịa
iwu niile nke si n'ọnụ gị.
14 Ana m aṅụrị ọṅụ n'ịgbaso iwu gị niile
dịka mmadụ si aṅụrị ọṅụ n'ime oke ịba ụba.
15 Ana m atụgharị uche n'ụkpụrụ gị
na-atulekwa uche n'ụzọ gị niile.
16 Iwu gị na-amasị m;
agaghị m elefu okwu gị anya.

*ג Gimel*

17 Meere ohu gị ihe ọma, ka m nwe ike dị ndụ;
aga m erubere okwu gị isi.
18 Kpughee anya m abụọ
ka m hụ oke ihe ebube niile dị iche iche dị n'ime okwu gị.
19 Abụ m onye ọbịa n'elu ụwa;
ezonarịla m iwu gị niile.
20 N'oge niile, ihe banyere iwu gị niile
na-agụ mkpụrụobi m agụụ.
21 Ị na-abara ndị mpako mba, ha bụ ndị a bụrụ ọnụ
na ndị na-anaghị agbaso iwu gị.
22 Site n'ebe m nọ wepụ ịchị ọchị na nleli,

n’ihi na m na-edebe ụkpụrụ gị niile.
23 N’agbanyeghị na ndịisi nọkọrọ na-ekwulu m,
ohu gị ga-atụgharị uche n’iwu gị.
24 Ụkpụrụ gị niile bụ ihe na-amasị m;
ha bụ ndị ndụmọdụ m.

ד *Dalet*

25 Mkpụrụobi m na-arapara n’uzuzu;
kpọghachite ndụ m dịka okwu gị si dị.
26 Akọwaara m gị ụzọ m niile, ị zakwara m;
ugbu a, kuziere m iwu gị.
27 Mee ka m ghọta ozizi ụkpụrụ gị;
ka m nwe ike tụgharịa uche n’ọrụ ebube gị niile.
28 Iru ụjụ emeela ka mkpụrụobi m daa mba;
gbaa m ume dịka okwu gị si dị.
29 Chebe m pụọ n’ụzọ aghụghọ niile;
site n’iwu gị meere m amara.
30 Ahọrọla m ụzọ ikwesi ntụkwasị obi;
e kpebiela m idebe obi m n’iwu gị niile.
31 O ONYENWE ANYỊ, ana m ejigidesi iwu gị niile aka ike;
ekwela ka ihere mee m.
32 Aga m agbaso iwu gị niile
n’ihi na i meela ka obi m nwere onwe ya.

ה *He*

33 O ONYENWE ANYỊ, zi m ụzọ m ga-esi gbasoo iwu gị niile;
mgbe ahụ, aga m edebe ha ruo n’ọgwụgwụ.
34 Nye m nghọta, aga m edebe iwu gị
ma jiri obi m niile rubere ya isi.
35 Duo m n’ụzọ nke iwu gị niile,
n’ihi na ọ bụ n’ime ha ka m na-achọta obi ụtọ.
36 Mee ka obi m chee ihu n’iwu gị niile
ọ bụghị nye uru na-esite n’ọchịchọ nke onwe.
37 Wepụ anya m site n’ihe na-abaghị uru;
chebe ndụ m dịka okwu gị si dị.*
38 Mezuo nkwa i kwere ohu gị,
ka a tụọ egwu gị.
39 Wepụ nkọcha nke m na-atụ egwu ya,
n’ihi na iwu gị niile ziri ezi.
40 Ụkpụrụ gị na-agụsị m agụụ ike!
Chebe ndụ m site n’ezi omume gị.

ו *Waw*

41 O ONYENWE ANYỊ, ka ịhụnanya gị nke na-adịgide bịakwasị m,
nzọpụta gị dịka nkwa i kwere si dị;
42 mgbe ahụ, aga m azaghachi onye ahụ na-achị m ọchị,
n’ihi na ana m atụkwasị obi m n’okwu gị.
43 Esitela n’ọnụ m napụ okwu nke eziokwu,
n’ihi na olileanya m dị n’iwu gị niile.
44 Aga m anọgide na-erubere iwu gị isi
ruo mgbe ebighị ebi.
45 Aga m ejegharị n’ọnọdụ inwere onwe

* **Abụ Ọma 119:37** 119:37 Mee ka m dị ndụ n’ụzọ gị

n’ihi na achọpụtala m ụkpụrụ gị niile.
46 Aga m ekwupụta banyere ụkpụrụ gị n’ihu ndị eze
ma ihere agaghị eme m,
47 n’ihi na iwu gị na-amasị m
n’ihi na ahụrụ m ha n’anya.
48 Ana m eweliri iwu gị niile aka elu, bụ ndị m hụrụ n’anya,
ana m atụgharịkwa uche n’iwu gị niile.

### ז *Zayin*

49 Cheta okwu i nyere ohu gị,
n’ihi na i nyela m olileanya.
50 Nkasiobi m n’ime ịta ahụhụ m bụ nke a:
nkwa gị na-echebe ndụ m.
51 Ndị mpako na-akwa m emo na-esepụghị aka,
ma anaghị m esite n’iwu gị wezuga onwe m.
52 O Onyenwe anyị, ana m echeta iwu gị niile, ndị dị site na mgbe ochie,
ha na-ewetara m nkasiobi.
53 Ana m ewe iwe nke ukwu n’ihi ndị ajọ omume,
ndị gbakụtara iwu gị azụ.
54 Iwu gị niile bụ isi okwu abụ m
ebe ọbụla m na-anọ.
55 N’abalị, o Onyenwe anyị, ana m echeta aha gị,
aga m edebekwa iwu gị.
56 Nke a bụrịị ihe m na-eme oge niile:
ana m erubere ụkpụrụ gị isi.

### ח *Het*

57 O Onyenwe anyị, ị bụ ihe nketa m;
ekweela m nkwa irube isi nye okwu gị niile.
58 Ejirila m obi m niile chọọ ihu gị;
meere m ebere dịka nkwa gị si dị.
59 Echeela m echiche banyere ụzọ m niile,
chigharịakwa na-agbaso ụkpụrụ gị niile.
60 Aga m eme ngwangwa, agaghị atụfu oge
irubere iwu gị niile isi.
61 A sịkwarị na ndị ajọ omume ejiri ụdọ kee m agbụ,
agaghị m echefu iwu gị.
62 N’etiti abalị, aga m ebili nye gị ekele
n’ihi iwu gị niile ziri ezi.†
63 Abụ m enyi ndị niile na-atụ egwu gị,
ndị niile na-agbaso ụkpụrụ gị.
64 O Onyenwe anyị, ụwa niile jupụtara n’ịhụnanya gị;
kuziere m iwu gị niile.

### ט *Tet*

65 Meere ohu gị ihe ọma
dịka okwu gị si dị, o Onyenwe anyị.
66 Zi m ihe ọmụma na ikpe ziri ezi
n’ihi na ekwenyere m n’iwu gị niile.
67 Tupu m nwee nsogbu, a kpafuru m,
ma ugbu a, ana m erubere okwu gị isi.
68 I dị mma, ihe i na-eme ziri ezi;
kuziere m iwu gị niile.

† **Abụ Ọma 119:62** 119:62 Ọrụ 16:25

69 N'agbanyeghị na ndị mpako a gbasaala okwu ụgha techie m,
ana m eji obi m niile na-edebe ụkpụrụ gị.
70 Obi ha siri ike, ọ dịghị ihe na-emetụta ha,
ma ana m enwe mmasị n'iwu gị.
71 Ọ dị mma na m tara ahụhụ
ka m nwee ike mụta iwu gị niile.
72 Iwu si n'ọnụ gị pụta dị oke ọnụahịa nye m
karịa imerime puku ọlaọcha na ọlaedo.

*י Yod*

73 Aka gị kere m, kpụọkwa m;
nye m nghọta ka m mụta iwu gị niile.
74 Ka ndị na-atụ egwu gị ṅụrịa mgbe ha hụrụ m,
n'ihi na olileanya m dị n'okwu gị.
75 O ONYENWE ANYỊ, amaara m na iwu gị niile ziri ezi,
ọ bụkwa n'ikwesị ntụkwasị obi ka ị tara m ahụhụ.
76 Ka ịhụnanya gị nke na-adịghị agwụ agwụ kasịe m obi,
dịka nkwa i kwere ohu gị si dị.
77 Ka ọmịiko gị bịakwasị m, ka m nwee ike dị ndụ,
n'ihi na iwu gị na-amasị m.
78 Ka ihere mee ndị mpako n'ihi ihe ọjọọ ha mere m na-enweghị ihe m mere;
ma aga m atụgharị uche n'ụkpụrụ gị.
79 Ka ndị niile na-atụ egwu gị bịakwute m,
ndị na-aghọta ụkpụrụ gị niile.
80 Ka m were obi zuruoke na-agbaso ụkpụrụ gị niile,
ka ihere ghara ime m.

*כ Kap*

81 Mkpụrụobi m na-ada mba site n'ọchịchọ ya maka nzọpụta gị,
ma olileanya m dị n'okwu gị.
82 Anya na-egbu m mgbu ebe m na-ele anya nkwa gị;
ana m asị, "Olee mgbe ị ga-akasị m obi?"
83 N'agbanyeghị na adị m ka karama akpụkpọ‡ nke dị n'anwụrụ ọkụ,
anaghị m echefu iwu gị niile.
84 Ruo olee mgbe ka ohu gị ga-anọgide na-eche?
Olee mgbe ka ị ga-ata ndị na-akpagbu m ahụhụ?
85 Ndị mpako na-egwuru m olulu,
bụ ihe nke na-adịghị ka iwu gị si dị.
86 Iwu gị niile kwesiri ntụkwasị obi;
nyere m aka, n'ihi na ndị mmadụ na-akpagbu m ma o nweghị ihe m mere ha.
87 Ọ fọdụrụ ntakịrị ihe, ha gaara ala m n'iyi,
ma agbakụtaghị m ụkpụrụ gị azụ.
88 Site n'ịhụnanya gị nke na-adịgide chebe ndụ m,
ka m nwe ike rube isi n'iwu nke ọnụ gị.

*ל Lamed*

89 O ONYENWE ANYỊ, okwu gị na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi;§
ọ na-eguzosi ike n'eluigwe.
90 Ikwesi ntụkwasị obi gị na-adịgide site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ;

---

‡ **Abụ Ọma 119:83** 119:83 Ọ bụ ihe eji agbanye mmanya, n'elu ekwu isi nri a kwanyere ọkụ ka a na-ekonye karama akpụkpọ anụ a gbanyere mmanye ọhụrụ. Nke a bụ iji mee ka mmanya ahụ nwee ike gbaa ụka ọsịịsọ. N'ihi na-edebere ya n'ọkụ, akpụkpọ anụ ahụ na-akpọ nku, taa ahụ, dị ochie, bụrụkwa ihe na-abaghị uru ọzọ na ihe a na-atụfu atụfu. § **Abụ Ọma 119:89** 119:89 Aịz 40:8; Mat 24:35; 1Pt 1:25

ọ bụ gị kere ụwa, ọ na-eguzosikwa ike.
91 Ruo taa, iwu gị niile na-eguzosi ike,
n’ihi na ihe niile na-ejere gị ozi.
92 A sịkwarị na iwu gị anaghị amasị m,
agaara m anwụ n’ime nsogbu m.
93 Agaghị m echefu ụkpụrụ gị niile,
n’ihi na ọ bụ ha ka i ji chebe ndụ m.
94 Zọpụta m, n’ihi na abụ m nke gị;
achọpụtala m ụkpụrụ gị niile.
95 Ndị ajọ omume na-eche ịla m n’iyi,
ma aga m atụgharị uche n’ụkpụrụ gị.
96 Ana m ahụ nsọtụ ihe niile zuruoke,
ma iwu gị niile enweghị nsọtụ.

### מ *Mem*

97 O, otu m si hụ iwu gị n’anya!
Ana m atụgharị uche na ya ogologo ụbọchị niile.
98 Iwu gị na-eme ka amamihe m karịa nke ndị iro m,
ha na-anọnyere m oge niile.
99 Enwere m nghọta karịa ndị na-ezi m ihe,
n’ihi na ana m atụgharịa uche n’iwu gị niile.
100 Enwere m nghọta karịa ndị okenye
n’ihi na ana m erubere ụkpụrụ gị niile isi.
101 Ajụrụ m ajụ ije ije n’ụzọ ọjọọ ọbụla
ka m nwee ike rubere okwu gị isi
102 Ewezugaghị m onwe m n’iwu gị niile,
n’ihi na ọ bụ gị onwe gị ziri m ha.
103 Lee ka okwu gị niile si atọ m ụtọ,
ha dị ụtọ n’ọnụ m karịa mmanụ aṅụ!
104 A na-enweta nghọta site n’ụkpụrụ gị niile;
ya mere ana m akpọ ụzọ ọjọọ ọbụla asị.

### נ *Nun*

105 Okwu gị bụ oriọna dịrị ụkwụ m
bụrụkwa ìhè n’ụzọ m.
106 Aṅụọla m iyi, mee ka o guzosie ike,
na aga m agbaso iwu ezi omume gị niile.
107 Ataala m ahụhụ nke ukwuu;
chebe ndụ m, o ONYENWE ANYỊ, dịka okwu gị si dị.
108 O ONYENWE ANYỊ, nabata otuto afọ ofufu niile nke si n’ọnụ m,
kuziekwara m iwu gị niile.
109 Mkpụrụobi m na-adị m n’ọbụaka m oge niile,
ma echezọghị m iwu gị.
110 Ndị ajọ omume esielera m ọnya,
ma esitebeghị m n’ụkpụrụ gị kpafuo.
111 Iwu gị niile bụ ihe nketa m ruo mgbe ebighị ebi;
ha bụ ihe na-enye obi m ọṅụ.
112 Obi m ekpebiela idebe ụkpụrụ gị
ruo na ngwụcha.

### ס *Samek*

113 Ana m akpọ ndị na-enwe obi abụọ asị,
ma ahụrụ m iwu gị n’anya.
114 Ị bụ ebe mgbaba m na ọta m;

olileanya m dị n’okwu gị.
115 Sitenụ n’ebe m nọ pụọ, unu ndị na-eme ihe ọjọọ,
ka m nwee ike idebe iwu niile nke Chineke m!
116 Gbaa m ume dịka nkwa gị si dị, aga m adịkwa ndụ;
ekwekwala ka olileanya m daa.
117 Kwagide m, aga m abụ onye a gbapụtara;
aga m anọgide na-asọpụrụ iwu gị niile.
118 Ị na-ajụ ndị niile na-adịghị edebe iwu gị,
nzube aghụghọ ha niile bụ ihe na-enweghị isi.
119 Ị na-ekpochapụ ndị ajọ omume dịka unyi a na-ekpofu ekpofu;
n’ihi ya, ahụrụ m ụkpụrụ gị niile n’anya.
120 Anụ ahụ m na-ama jijiji n’ihi ịtụ egwu gị;
ana m eguzo n’oke egwu n’ihi iwu gị niile.

### ע *Ayin*

121 Emeela m ihe dị mma na ihe ziri ezi;
ahapụkwala m n’aka ndị na-emegbu m.
122 Kwee ohu gị nkwa na ị ga-elekọta ya;
ekwela ka ndị mpako kpagbuo m.
123 Anya na-egbu m mgbu ebe m na-ele anya nzọpụta gị
ebe m na-ele anya nkwa gị ziri ezi.
124 Biko mesoo ohu gị mmeso dịka ịhụnanya gị si dị
ma kuziekwara m ụkpụrụ gị niile.
125 Abụ m ohu gị, nye m nghọta,
ka m nwee ike mara ụkpụrụ gị niile.
126 O ONYENWE ANYỊ, oge eruola mgbe ị ga-arụ ọrụ,
n’ihi na a na-emebi iwu gị.
127 N’ihi na ahụrụ m iwu gị niile n’anya
karịa ọlaedo, e karịa ọlaedo a nụchara anụcha,
128 n’ihi na m na-ahụta ụkpụrụ gị niile ka ihe ziri ezi,
akpọrọ m ụzọ niile na-ezighị ezi asị.

### פ *Pe*

129 Iwu gị niile dị ịtụnanya;
ya mere, ana m erubere ha isi.
130 Mkpughepụ na nkọwa nke okwu gị na-enye ìhè;
ọ na-eme ka ndị na-enweghị uche ghọta ihe.
131 Ana m asaghe ọnụ m na-ekupụ ume ike ike,
na-achọsi iwu gị niile ike.
132 Chee m ihu, meere m ebere,
dịka i si emere ndị niile hụrụ aha gị n’anya ebere.
133 Mee ka nzọ ụkwụ m niile na-aga dịka okwu gị si dị;
ekwela ka mmehie chịa m.
134 Gbapụta m site n’aka ndị na-emegbu m,
ka m nwee ike debe iwu gị.
135 Mee ka ihuọma gị dịkwasị n’ahụ ohu gị.
Kuziere m ụkpụrụ gị niile.
136 Anya mmiri akwa na-agba m nke ukwuu
n’ihi na ndị mmadụ adịghị erube isi nye iwu gị.

### צ *Tsade*

137 O ONYENWE ANYỊ, ị bụ onye ezi omume,
iwu gị niile zikwara ezi.
138 Ụkpụrụ gị niile ziri ezi;

ha kwesiri ntụkwasị obi.
139 N'ihi na ndị iro m na-elefu okwu gị anya,
ịnụ ọkụ n'obi m na-ada mba.
140 Nkwa gị niile bụ ihe enyochara nke ọma,
ohu gị na-ahụkwa ha n'anya.
141 Ọ bụ ezie na m bụ onye dị ala, na onye a na-eleda anya,
ma adịghị m eleda ụkpụrụ gị niile anya.
142 Ezi omume gị na-adị ruo mgbe ebighị ebi.
Iwu gị niile bụkwa eziokwu.
143 Nsogbu na ihe mgbu adakwasịla m,
ma iwu gị niile bụ ihe na-amasị m.
144 Iwu gị niile bụ ezi omume ruo mgbe ebighị ebi;
nye m nghọta, ka m nwe ike dị ndụ.

ק *Kwof*

145 Eji m obi m niile na-akpọ oku; zaa m o ONYENWE ANYỊ,
aga m erubekwa isi nye ụkpụrụ gị niile.
146 Ana m akpọku gị; zọpụta m
aga m erube isi nye ụkpụrụ gị niile.
147 Tupu chị na-abọ, ana m ebili, na-akwa akwa maka enyemaka;
olileanya m dị n'okwu gị.
148 Ana m amụ anya abalị n'elu ihe ndina m,
n'ihi ịtụgharị uche na nkwa gị niile.
149 Nụrụ olu m dịka ịhụnanya gị si dị;
chebe ndụ m, o ONYENWE ANYỊ, dịka iwu gị niile si dị.
150 Ndị na-atụpụta atụmatụ ọjọọ nọ nso
ma ha nọ iwu gị niile n'ebe dị anya.
151 Ma ị nọ nso, ONYENWE ANYỊ;
ihe niile i nyere n'iwu bụ eziokwu.
152 Site na mgbe ochie ka m mụtara site n'ụkpụrụ gị,
na i mere ka ha guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi.

ר *Resh*

153 Ledata anya ka ị hụ ịta ahụhụ m ma gbapụta m,
n'ihi na echefughị m iwu gị.
154 Kpepụta m, gbapụta m,
chebe ndụ m dịka nkwa gị si dị.
155 Nzọpụta dị anya n'ebe ndị na-eme ihe ọjọọ nọ,
n'ihi na ha anaghị agbaso ụkpụrụ gị niile.
156 O ONYENWE ANYỊ, ọmịiko gị dị ukwuu;
chebe ndụ m dịka iwu gị niile si dị.
157 Ndị iro m na ndị na-akpagbu m dị ọtụtụ,
ma aga m anọgide na-edebe iwu gị.
158 Ana m asọ ndị niile na-enweghị okwukwe n'ime gị oyi,
n'ihi na ha anaghị erubere okwu gị isi.
159 Lee ka m si hụ ụkpụrụ gị niile n'anya;
chebe ndụ m, o ONYENWE ANYỊ, dịka ịhụnanya gị si dị.
160 Okwu gị niile bụ eziokwu;
iwu gị niile ziri ezi na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

ש *Sin na Shin*

161 Ndịisi na-emegbu m na-enweghị ihe m mere,
ma obi m na-ama jijiji n'ihi okwu gị.

162 Ana m aṅụrị ọṅụ n’ime nkwa gị
dịka onye chọtara ọtụtụ ihe nkwata n’agha.
163 Akpọrọ m okwu ụgha asị, ọ bụkwa ihe arụ n’ebe m nọ,
ma ahụrụ m iwu gị n’anya.
164 Aga m eto gị ugboro asaa n’ụbọchị,
n’ihi iwu gị ziri ezi.
165 Ndị hụrụ iwu gị n’anya nwere udo dị ukwuu,
ọ dịghị ihe ga-eme ka ha sụọ ngọngọ.
166 Ana m echere nzọpụta gị, o ONYENWE ANYỊ,
na-agbasokwa iwu gị niile.
167 Ana m erubere ụkpụrụ gị niile isi
n’ihi na m hụrụ ha n’anya nke ukwuu.
168 Ana m erubere ụkpụrụ na iwu gị niile isi,
n’ihi na ị maara ụzọ m niile.

*ת Taw*

169 Ka akwa m ruo gị ntị, o ONYENWE ANYỊ;
nye m nghọta dịka okwu gị si dị.
170 Ka arịrịọ m ruo gị ntị;
gbapụta m dịka nkwa gị si dị.
171 Ka ọnụ m jupụta n’otuto,
n’ihi na ị na-ezi m iwu gị niile.
172 Ka m jiri ire m bụọ abụ banyere okwu gị,
n’ihi na iwu gị niile ziri ezi.
173 Nọọ na njikere oge niile inyere m aka,
n’ihi na ahọrọla m ụkpụrụ gị niile.
174 Ana m ele anya nzọpụta gị, o ONYENWE ANYỊ,
iwu gị bụ ihe na-amasị m.
175 Kwere ka m dịrị ndụ ka m nwee ike ito gị,
ka iwu gị niile gbaa m ume.
176 Akpafuola m dịka atụrụ nke furu efu,
chọọ ohu gị,
n’ihi na echefubeghị m iwu gị niile.

# Abụ Ọma 120

Abụ nrigo.

*Ekpere maka nnapụta*

1 Ana m akpọku ONYENWE ANYỊ n’ime nsogbu m,
ọ na-azakwa m.
2 O ONYENWE ANYỊ, zọpụta m
site n’egbugbere ọnụ okwu ụgha
na ire na-ekwu okwu aghụghọ.

3 Gịnị ka a ga-eme gị,
ọ bụkwa gịnị ọzọ ka a gatụkwasịri gị,
gị ire aghụghọ?
4 Ọ ga-eji àkụ dị nkọ nke dike n’agha taa gị ahụhụ,
ya na icheku ọkụ osisi brum na-ere ere.

5 Ahụhụ dịịrị m n’ihi na m bi na Meshek,
n’ihi na m bikwa n’etiti ụlọ ikwu ndị Keda!

6 Ogologo oge
ka m binyere ndị kpọrọ udo asị.
7 Abụ m onye udo;
ma mgbe m kwuru okwu, okwu ha bụ okwu agha.

# Abụ Ọma 121

Abụ nrigo.

*Inyeaka si n'ebe Onyenwe anyị nọ*

1 Aga m eweli anya m abụọ elu, lee ha n'elu ugwu niile,
olee ebe inyeaka ga-esi bịara m?
2 Inyeaka m na-esite n'aka ONYENWE ANYỊ,*
onye kere eluigwe na ụwa bịa.

3 Ọ gaghị ekwe ka ụkwụ gị gbụchapụ,
onye na-eche gị nche na-amụ anya oge niile;
4 n'ezie onye na-eche Izrel nche
adịghị arahụ ụra, ọ dịghị atụkwa oru ụra.

5 ONYENWE ANYỊ na-eche gị nche,
ONYENWE ANYỊ bụ ndo† gị n'aka nri gị;
6 anyanwụ agaghị achagbu gị n'ehihie,
ọnwa agaghị etigbukwa gị n'abalị.

7 ONYENWE ANYỊ ga-edebe gị ka ihe ọjọọ ọbụla ghara ịdakwasị gị.
Ọ ga na-eche ndụ gị nche mgbe niile.
8 ONYENWE ANYỊ ga-echebe gị mgbe ị na-apụ na mgbe ị na-abata abata,
site ugbu a ruo mgbe niile ebighị ebi.

# Abụ Ọma 122

Abụ nrigo, nke Devid.

*Ekpere maka udo Jerusalem*

1 Aṅụrịrị m ọṅụ mgbe ha sị m,
"Ka anyị gaa n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ."*
2 Ụkwụ anyị eguzola ugbu a
n'ọnụ ụzọ ama gị niile, gị obodo Jerusalem.

3 E wuru Jerusalem dịka obodo
a chịkọtara ọnụ nke ọma.
4 Ọ bụ ebe ahụ ka ebo niile na-arịgo,
bụ ebo niile nke ONYENWE ANYỊ,
ịbụku aha ONYENWE ANYỊ abụ
dịka iwu o nyere ndị Izrel si dị.
5 N'ebe ahụ ka ocheeze niile nke ikpe ikpe dị,
bụ ocheeze niile nke ezinaụlọ Devid.

6 Kpeenụ ekpere maka udo Jerusalem:
"Ka ndị niile hụrụ gị n'anya nọọ n'udo.

---

* **Abụ Ọma 121:2** 121:2 Abụ 124:8 † **Abụ Ọma 121:5** 121:5 Aịz 25:4 * **Abụ Ọma 122:1** 122:1 Aịz 2:3; Mai 4:2; Zek 8:21

7 Ka udo dịrị n’ime mgbidi gị niile
nchekwa dịrịkwa n’ime ebe nche gị niile e wusiri ike.”
8 N’ihi ụmụnne m na ndị enyi m,
ana m ekwu okwu sị, “Udo dịrị gị.”
9 N’ihi ụlọ ONYENWE ANYỊ, Chineke anyị,
aga m achọ ọganihu gị.

# Abụ Ọma 123

Abụ nrigo.

*Ekpere maka ebere*

1 Ana m eweli anya m abụọ elu ile gị,
gị onye ocheeze ya dị n’eluigwe.
2 Dịka ohu si elekwasị nna ya ukwu anya ya,
na dịka ohu nwanyị na-eje ozi si elekwasị nne ya ukwu anya, ịnata ozi ọ ga-eje,*
otu a ka anyị si na-elekwasị ONYENWE ANYỊ bụ Chineke anyị anya,
ruo mgbe ọ ga-emere anyị ebere.

3 Meere anyị ebere, O ONYENWE ANYỊ, meere anyị ebere,
n’ihi na anyị abụrụla ndị a na-akọcha akọcha.
4 N’ihi na nnagide anyị na-anagide
ịchị ọchị ndị nganga,
na ileda anya ndị mpako adịla ukwuu.

# Abụ Ọma 124

Abụ nrigo. Nke Devid.

*Ekele maka mgbapụta*

1 A sị na ONYENWE ANYỊ adịnyereghị anyị,
ka Izrel kwuo,
2 a sị na ONYENWE ANYỊ adịnyereghị anyị,
mgbe ndị mmadụ biliri imegide anyị,
3 mgbe iwe ha rere dịka ọkụ megide anyị,
ha gaara eloda anyị na ndụ;
4 idee mmiri gaara iri anyị,
oke mmiri gaara ebufu anyị,
5 ebili mmiri niile
gaara ebufu anyị.

6 Ma otuto dịrị ONYENWE ANYỊ, onye na-ekweghị
ka ha jiri eze ha dọrie anyị.
7 Anyị agbanarịla ha dịka nwa nnụnụ si
gbanarị ọnya osi ọnya chọrọ iji jide ya;
ọnya ahụ agbajiela,
anyị ewezugakwala onwe anyị, nwere onwe anyị.
8 Inyeaka anyị dị n’aha ONYENWE ANYỊ,
onye kere eluigwe na ụwa.

---

* **Abụ Ọma 123:2** 123:2 N’oge ochie, ndị nwere ohu adịghị e kwuru ha okwu mgbe a na-ezi ha ozi, kama ọ bụ aka ka nne ha ukwu maọbụ nna ha ukwu ji agwa ha ihe ha kwesiri ime.

# Abụ Ọma 125

Abụ nrigo.

*Chineke onye na-echebe ndị ya*

1 Ndị niile na-atụkwasị ONYENWE ANYỊ obi na-anọgidesi ike dị ka ugwu Zayọn
nke a na-apụghị inugharị, nke na-adịgidekwa n'ọnọdụ ya ruo mgbe ebighị ebi.
2 Dịka ugwu niile si gbaa obodo Jerusalem gburugburu,
otu a ka ONYENWE ANYỊ na-agba ndị ya gburugburu
ugbu a na ruo mgbe ebighị ebi.

3 Mkpara ọchịchị ndị ajọ omume agaghị adịgide*
n'ala ndị ezi omume ketara n'ife nza,
n'ihi na ndị ezi omume nwere ike
itinye aka ha na-ime ihe ọjọọ.

4 O ONYENWE ANYỊ, meere ndị niile na-eme ezi omume ihe ọma,
ya bụ, ndị niile obi ha ziri ezi.
5 Ma ONYENWE ANYỊ ga-achụpụ ndị niile na-agbaso ụzọ aghụghọ
na ndị niile na-eme ajọ ihe.

Ka udo dịrị Izrel.

# Abụ Ọma 126

Abụ nrigo.

*Abụ ekele maka mgbapụta*

1 Mgbe ONYENWE ANYỊ kpọghachitere ndị e mere ka ha lọta na Zayọn,*
anyị dị ka ndị na-arọ nrọ.
2 Ọchị juru anyị ọnụ,
abụ ọṅụ jukwara anyị ire.
Mgbe ahụ, e kwukwara ya na mba niile sị,
"ONYENWE ANYỊ emeerela ha ọtụtụ ihe dị ukwuu."
3 ONYENWE ANYỊ emeerala anyị ọtụtụ ihe dị ukwuu,
obi anyị jupụtakwara n'ọṅụ.

4 Nyeghachi anyị akụnụba anyị, o ONYENWE ANYỊ,
dịka mmiri iyi na-asọ n'ala Negev.
5 Ndị niile na-eji anya mmiri na-arụ ọrụ ịkụ mkpụrụ
ga-emesịa jiri abụ ọṅụ wee ihe ubi ahụ.
6 Onye ji ịkwa akwa
buru mkpụrụ ubi ọ ga-agha na-aga,
ga-emesịa jiri abụ ọṅụ na-alọghachi azụ,
mgbe ha bu ukwu ọka ha.

# Abụ Ọma 127

Abụ nrigo, nke Solomọn.

*Chineke dị mkpa*

1 Ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ ewughị ụlọ,
ndị na-ewu ya na-adọgbu onwe ha n'ọrụ n'efu.

---

* **Abụ Ọma 125:3** 125:3 Aịz 14:5 * **Abụ Ọma 126:1** 126:1 Jer 29:14; Jul 3:1

Ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ echeghị obodo,
n’efu ka ndị nche na-amụ anya.
2 Ọ bụ n’efu ka ị na-ebili n’isi ụtụtụ
na-adọgbu onwe gị n’ọrụ
ịchọta ihe ị ga-eri ruo n’abalị,
n’ihi na ọ na-eme ka ndị niile ọ hụrụ n’anya hie ụra n’udo.

3 Ụmụntakịrị bụ ihe nketa si n’aka ONYENWE ANYỊ,
ụmụntakịrị bụ ụgwọ ọrụ ọ na-enye.
4 Dịka àkụ n’aka dike n’agha,
otu a, ka ụmụ a mụtaara na mgbe okorobịa dị.
5 Onye a gọziri agọzi ka nwoke ahụ bụ
onye kpojuru àkụ ndị a n’akpa àkụ ya.
Ihere agaghị eme ha mgbe ha na ndị iro
na-arụrịta ụka n’ama.

# Abụ Ọma 128

Abụ nrigo.

*Ngọzị dịrị ndị na-atụ egwu Onyenwe anyị*

1 Ngọzị na-adịrị ndị niile na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ,
ndị na-aga ije n’irube isi nye ya.
2 Ị ga-eri mkpụrụ ọrụ aka gị;
ọtụtụ ngọzị na ihe ịga nke ọma ga-abụ nke gị.
3 Nwunye gị ga-adị ka osisi vaịnị
na-amị mkpụrụ n’ime ụlọ gị;
ụmụ gị ndị ikom ga-adịkwa ka ome osisi oliv
gburugburu tebul gị.
4 Otu a ka a ga-esi gọzie nwoke ahụ
na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ.

5 Ka ONYENWE ANYỊ gọzie gị site na Zayọn
ụbọchị niile nke ndụ gị;
ka i hụkwa ọdịmma Jerusalem,
6 ka ị dị ndụ hụ ụmụ ụmụ gị.
Ka udo dịrị Izrel.*

# Abụ Ọma 129

Abụ nrigo.

*Ekpere megide ndị iro Izrel*

1 Site na mgbe m bụ nwantakịrị, ha kpagburu m ọtụtụ oge,
ka Izrel kwuo.
2 “Site na mgbe m bụ nwantakịrị, ha kpagburu m ọtụtụ oge,
ma ha enweghị ike merie m.
3 Ndị ikom na-akọ ubi akọgharịala azụ m dịka ala ubi,
mee ebe ha kọrọ akọ ka ọ dị ogologo.
4 Ma ONYENWE ANYỊ bụ onye ezi omume;
ọ tọpụla m site n’agbụ niile nke ndị ajọ omume.”

---

* **Abụ Ọma 128:6** 128:6 Abụ 125:5

5 Ka ndị niile kpọrọ Zayọn asị
bụrụ ndị ga-alaghachi azụ n’ihere.
6 Ka ha niile dịrị ka ahịhịa na-epu n’elu ụlọ
nke na-akpọnwụ tupu o pupụta;*
7 nke onye na-ewe ihe ubi na-adịghị eji ha kpojuo aka ya abụọ,
maọbụ onye mkpokọta e nwee ike kpojuo aka ya.
8 Ka ndị si n’ụzọ na-agafe hapụ ị sị ha,
“Ngọzị ONYENWE ANYỊ dịrị unu.
Anyị na-agọzi unu n’aha ONYENWE ANYỊ.”†

# Abụ Ọma 130

Abụ nrigo.

*Mkpụrụobi na-ele anya Chineke*

1 O ONYENWE ANYỊ, ọ bụ site n’ebe dị omimi ka m na-ebeku gị akwa.
2 Onyenwe anyị, nụrụ olu m.
Ka ntị gị na-aṅakwa ntị
n’olu arịrịọ m, maka amara.

3 O ONYENWE ANYỊ, a sị na i detuo mmehie niile,
Onyenwe anyị, onye pụrụ iguzo?
4 Ma ọ bụ n’aka gị ka mgbaghara mmehie* dị;
ime ka anyị tụọ gị egwu, ma jeere gị ozi.

5 Ana m echere ONYENWE ANYỊ, mkpụrụobi m na-echekwa ya,
ọ bụ n’okwu ya ka olileanya m dị.
6 Mkpụrụobi m na-echere Onyenwe anyị
karịa ndị nche abalị na-echere chị ọbụbọ,
e, karịa ndị nche abalị na-echere chị ọbụbọ.

7 Ndị Izrel, ka olileanya unu dịrị na ONYENWE ANYỊ,
n’ihi na ịhụnanya ya na-adịgide adịgide,
n’aka ya ka nzọpụta zuruoke dịkwa.
8 Ya onwe ya, ga-agbapụta Izrel
site na mmehie ya niile.

# Abụ Ọma 131

Abụ nrigo, nke Devid.

*Abụ nke ndị dị nwayọọ n’obi*

1 O ONYENWE ANYỊ, nganga adịghị n’obi m,
ndụ mpako abụkwaghị ọchịchọ m;
adịghị m etinye onwe m n’okwu karịrị m
maọbụ n’ihe ndị dị ukwuu karịa m.
2 Ma ana m edere duu, mkpụrụobi m nọkwa jụụ;
dịka nwantakịrị a napụrụ ara, ya na nne ya nọ,
e, dịka nwantakịrị a napụrụ ara, otu a ka mkpụrụobi m nọ n’ime m.

---

* **Abụ Ọma 129:6** 129:6 Ọ bụ ụrọ a gwakọtara ntụ na aja ka e ji emechi elu ụlọ n’Izrel. N’oge mmiri ozuzo, ahịhịa na-epu n’elu ụlọ ndị a n’ihi na ha dị larịị, ma ha adịghị adịgide. Mgbe ọkọchị bịara, n’ihi na mgbọrọgwụ ha abanyeghị n’ime aja elu ụlọ ndị a, ha na-akpọnwụ Abụ 37:2 † **Abụ Ọma 129:8** 129:8 Rut 2:4 * **Abụ Ọma 130:4** 130:4 Ọpụ 34:7; Neh 9:17; Dan 9:9

3 Ndị Izrel, ka olileanya unu dịrị na ONYENWE ANYỊ*
ugbu a na mgbe niile ebighị ebi.

# Abụ Ọma 132

Abụ nrigo.

*Devid na igbe ọgbụgba ndụ Onyenwe anyị*

1 O ONYENWE ANYỊ, cheta Devid,
n'ihe niile bụ ndị ọ gbakụtara azụ.

2 Ọ ṅụrụ iyi nye ONYENWE ANYỊ,
kwee nkwa nye Onye dị ukwuu nke Jekọb:
3 "Agaghị m abanye n'ime ụlọ m
maọbụ rigoo n'ihe ndina m,
4 agaghị m arahụ ụra,
egbugbere anya m agaghị atụ oru ụra,
5 tutu ruo mgbe m chọtaara ONYENWE ANYỊ ọnọdụ
ebe obibi nye Onye dị ukwuu nke Jekọb."

6 Anyị nụrụ ihe banyere ya n'Efrata,
anyị chọtara ya n'ubi niile nke Jearim.
7 "Ka anyị gaa na-ebe obibi ya;
ka anyị kpọọ isiala n'ebe ihe mgbakwasị ụkwụ ya.
8 'Bilie, ONYENWE ANYỊ, bata n'ebe izuike gị,
gị na igbe ọgbụgba ndụ nke ike gị.
9 Ka ndị nchụaja gị yiri ezi omume gị dịka uwe;
ka ndị gị kwesiri ntụkwasị obi bụọ abụ n'ihi ọṅụ.' "

10 N'ihi ohu gị, bụ Devid,
agbakụtala onye gị e tere mmanụ azụ.

11 ONYENWE ANYỊ ṅụrụ Devid iyi n'eziokwu,
bụ iyi nke ọ gaghị esi na ya laghachi azụ:
"Otu n'ime ụmụ gị,
ka m ga-eme ka ọ nọdụ n'ocheeze gị,
12 ọ bụrụ na ụmụ ndị ikom gị edebe ọgbụgba ndụ m
na ụkpụrụ niile m kuziri ha,
mgbe ahụ ụmụ ha ga-anọdụ ala
n'ocheeze gị ruo mgbe ebighị ebi."

13 N'ihi na ONYENWE ANYỊ ahọrọla Zayọn,
ọ bụ ọchịchọ obi ya ime ya ebe obibi ya;
14 "Ebe a bụ ebe izuike m ruo mgbe ebighị ebi,
ebe a ka ocheeze m ga-adịkwa, n'ihi na ọ bụ ihe m chọrọ.
15 Aga m eji ọtụtụ nri dị iche iche gọzie ya;
aga m eji nri mee ka afọ ju ndị ogbenye ya.
16 Aga m eji nzọpụta yinye ndị nchụaja ya niile dịka uwe,
ndị nsọ ya ga-abụ abụ n'ihi ọṅụ.

---

* **Abụ Ọma 131:3** 131:3 Abụ 130:7

17 “N’ebe a ka m ga-eme ka mpi* puputara Devid
ma debekwa oriọna n’ihi onye m e tere mmanụ.
18 Aga m eyikwasị ndị iro ya ihere dịka uwe
ma aga eji okpueze mara mma chọọ isi ya mma.”

# Abụ Ọma 133

Abụ nrigo, nke Devid.

*Ngọzị nke ibi n’otu*

1 Lee ka o si bụrụ ihe dị mma
na ihe ọṅụ mgbe ụmụnne na-ebikọ n’otu!*

2 Ọ dị ka mmanụ dị oke ọnụahịa a wụrụ n’isi,
nke na-asọdata ruo n’ahụọnụ,
e, nke na-asọdata ruo n’ahụọnụ Erọn,
ruokwa n’olu uwe mwụda ya.
3 Ọ dị ka a ga-asị na igirigi si na Hemon
na-ada n’elu n’ugwu Zayọn.
N’ihi na n’ebe ahụ ka Onyenwe anyị na-enye onyinye ngọzị ya,
ọ bụladị ndụ na-adị ruo mgbe ebighị ebi.

# Abụ Ọma 134

Abụ nrigo.

*Toonu Onyenwe anyị*

1 Toonu Onyenwe anyị, unu ndị ohu Onyenwe anyị niile
ndị na-eje ozi n’ime ụlọ Onyenwe anyị n’oge abalị.
2 Chilienụ aka unu abụọ elu n’ime ụlọnsọ ya*
ma toonu Onyenwe anyị.

3 Ka Onyenwe anyị, onye kere eluigwe na ụwa
site na Zayọn gọzie unu.

# Abụ Ọma 135

*Toonu Onyenwe anyị*

1 Toonu Onyenwe anyị.

Toonu aha Onyenwe anyị,
toonu ya, unu ndị ohu Onyenwe anyị niile,
2 unu ndị na-eje ozi n’ime ụlọ Onyenwe anyị,
n’ime ogige ụlọ Chineke anyị.

3 Toonu Onyenwe anyị, n’ihi na Onyenwe anyị dị mma;
bụkuo aha ya abụ otuto, n’ihi na ọ bụ ihe ziri ezi.
4 N’ihi na Onyenwe anyị ahọpụtala Jekọb nye onwe ya,
ọ họpụtala Izrel ka ọ bụrụ ihe oke ọnụahịa nke aka ya.

5 Amaara m na Onyenwe anyị dị ukwuu,
na Onyenwe anyị dị ukwuu karịa chi niile.

---

* **Abụ Ọma 132:17** 132:17 N’ebe a mpi na-egosi ịdị ike * **Abụ Ọma 133:1** 133:1 Hib 13:1 * **Abụ Ọma 134:2** 134:2 1Tm 2:8

6 ONYENWE ANYỊ na-eme ihe ọbụla masịrị ya
n'eluigwe na elu ụwa
na n'oke osimiri na n'ime ogbu mmiri niile.
7 Ọ bụ ya na-eme ka igwe ojii na-apụta site n'akụkụ niile nke ụwa.
Ọ bụkwa ya na-ezite amụma nke na-eweta mmiri ozuzo.
Ọ na-ewepụtakwa ifufe site n'ụlọ ifufe ya niile.

8 O tigburu ụmụ niile e buru ụzọ mụọ n'ala Ijipt,
ụmụ mmadụ buru ụzọ mụọ na ụmụ anụ ụlọ e buru ụzọ mụọ.
9 O zipụrụ ihe ịrịbama ya dị iche iche na ọrụ ebube ya niile n'etiti unu, o Ijipt,
megide Fero na ndị niile na-ejere ya ozi.
10 O tigburu ọtụtụ mba dị ukwuu n'ọnụọgụgụ,
tigbukwaa ndị eze ha, ndị dị ike n'agha.
11 Ụfọdụ n'ime ha bụ Saịhọn, eze ndị Amọrait,
na Ọg eze Bashan,
na ndị eze niile dị na Kenan.
12 O weere ala ndị obodo ahụ niile nye ndị ya,
nye ya ụmụ Izrel dịka ihe nketa ha.

13 O ONYENWE ANYỊ, aha gị na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi
a maara aha gị ruo ọgbọ niile.
14 N'ihi na ONYENWE ANYỊ ga-ekpepụta ndị ya.
Ọ ga-enwekwa ọmịiko n'ahụ ndị ohu ya.

15 Chi ndị mba ọzọ bụ arụsị e jiri aka kpụọ,
nke e ji ọlaọcha na ọlaedo kpụọ.
16 Ha nwere ọnụ ma ha adịghị ekwu okwu,
ha nwere anya ma ha adịghị ahụ ụzọ.
17 Ha nwere ntị ma ha adịghị anụ ihe,
ọ dịkwaghị nkuume dị n'ime ọnụ ha.
18 Ndị na-eme ha ga-adị ka ha.
Ọ bụkwa otu a ka ndị na-atụkwasị ha obi ga-adị.

19 Ndị Izrel, toonu ONYENWE ANYỊ.
Unu ndị ụlọ Erọn, toonu ONYENWE ANYỊ.
20 Unu ndị ụlọ Livayị, toonu ONYENWE ANYỊ;
unu ndị na-atụ egwu ya, toonu ONYENWE ANYỊ.
21 Ka otuto dịrị ONYENWE ANYỊ site na Zayọn,
nye onye ahụ na-ebi na Jerusalem.

Toonu ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 136

*Abụ ekele*

1 Keleenụ ONYENWE ANYỊ, n'ihi na ọ dị mma.
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
2 Keleenụ Chineke kachasị chi niile elu.
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
3 Keleenụ Onyenwenụ kachasị ndị nwenụ niile.
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

4 Keleenụ onye ahụ naanị ya na-arụ ọrụ ebube dị iche iche,
ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
5 Keleenụ onye ahụ ji nghọta ya kee mbara eluigwe niile,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
6 Keleenụ onye wuru ụwa n'elu ogbu mmiri,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
7 Keleenụ onye ahụ kere anyanwụ na ọnwa,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
8 Onye mere anyanwụ ka ọ na-acha n'ehihie,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
9 Onye mere ka ọnwa na kpakpando na-achị n'abalị,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

10 Onye ahụ tigburu ụmụ niile e buru ụzọ mụọ n'Ijipt,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
11 O duuru ndị Izrel site n'Ijipt pụta,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
12 O ji aka ya dị ike nke o setịpụrụ esetipụ dupụta ha;
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

13 Onye ahụ kewara Osimiri Uhie abụọ,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
14 Onye duuru ndị Izrel gafee n'etiti ya,
n'ihi na ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
15 Ma Osimiri Uhie riri Fero na ndị agha ya niile;
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

16 Keleenụ onye duuru ndị ya gafee ọzara,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

17 Onye ahụ tigburu ndị eze dị ukwuu,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
18 O gbukwara ndị eze dị ike nke ukwuu,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
19 O gburu Saịhọn eze ndị Amọrait,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
20 Na Ọg eze Bashan,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
21 Were ala ha nye dịka ihe nketa,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
22 O nyere ohu ya Izrel ala ahụ ka ọ bụrụ ihe nketa ha,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

23 Onye chetara anyị mgbe anyị na-adịghị ike,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
24 Mee ka anyị nwere onwe anyị site n'aka ndị iro anyị,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
25 Ọ na-enye ihe niile dị ndụ nri,
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

26 Keleenụ Chineke nke eluigwe ekele.
Ịhụnanya ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.

# Abụ Ọma 137

*Abụ ndị a dọtara n'agha*

1 N'akụkụ iyi niile Babilọn ka anyị nọdụrụ ala kwaa akwa
mgbe anyị chetara Zayọn.
2 Ọ bụ n'osisi pọpla
ka anyị kokwasịrị ụbọ akwara anyị niile.
3 N'ebe ahụ ka ndị dọtara anyị n'agha gwara anyị ka anyị bụọrọ ha abụ,
ndị na-emekpa anyị ahụ rịọrọ anyị ka anyị bụọrọ ha abụ ọṅụ;
ha kwuru sị, "Bụọrọnụ anyị otu abụ n'ime abụ Zayọn!"

4 Ma, olee otu anyị ga-esi bụọ abụ ONYENWE ANYỊ
ebe anyị nọ n'ala ọzọ?
5 Ọ bụrụ na m echezọọ gị, Jerusalem,
ka aka nri m chefuo ǹka ya.
6 Ọ bụrụ na m echezọọ gị,
ọ bụrụkwa na m akwụsị iche echiche
banyere Jerusalem, oke ọṅụ m,
ka ire m rapara n'okpo ọnụ m.

7 Cheta, o ONYENWE ANYỊ, ihe ndị Edọm mere
n'ụbọchị ahụ a dọtara Jerusalem n'agha.*
"Tikpọsịa ya," ka ha tiri,
"Tikpọsịa ya ruo na ntọala ya niile!"
8 Gị ada Babilọn, onye a ghaghị ịla n'iyi,
ọṅụ ga-abụ nke onye ahụ ga-akwụghachi gị ụgwọ ọrụ ruru gị
n'ihi ihe i mere anyị,
9 onye ahụ ga-achịrị ụmụ gị ndị na-aṅụ ara
tụpịa ha n'elu nkume.†

# Abụ Ọma 138

Abụ Ọma Devid.

*Onyenwe anyị bụ onye kwesiri ntụkwasị obi*

1 O ONYENWE ANYỊ, aga m eji obi m niile too gị;
n'ihu chi niile dị iche iche ka m ga-abụku gị abụ otuto.
2 Aga m akpọ isiala n'ebe ụlọnsọ ukwu gị dị
aga m etokwa aha gị
n'ihi ịhụnanya gị na ikwesi ntụkwasị obi gị,
n'ihi na i meela ka aha gị na okwu gị
dị elu karịa ihe niile.*
3 Mgbe m kpọkuru gị, ị zara m;

---

* **Abụ Ọma 137:7** 137:7 Mgbe Nebukadneza meriri Jerusalem, ma bibiekwa ya, ndị Edọm ṅụrịrị oke ọnụ n'ihi na ndị Izrel bụ ndị iro ha. Ma omume a ezighị ezi n'ihi na ndị Edọm na ndị Izrel bụ ụmụnna. Ndị Edọm bụ ụmụ ụmụ Ịsọ, Izk 25:12-14; Ems 1:11; Ọbd 10-14 † **Abụ Ọma 137:9** 137:9 N'oge agha, ndị meriri n'agha na-achịkọta ụmụaka niile dị n'obodo ahụ ha meriri, tụpịasịa ha isi na nkume. Ha na-eme nke a i ji mesie mmeri ha meriri obodo ahụ ike, nakwa i ji mee ka a ghara inwe ọgbọ ọzọ ga-ebili n'obodo ahụ. 2Ez 8:12; Aịz 13:16; Hos 13:16; Nhu 3:10 * **Abụ Ọma 138:2** 138:2 Aịz 42:21

i mere m ka m nwee nkwuwa okwu ma guzosiekwa ike.

4 O ONYENWE ANYỊ, ka ndị eze niile nọ n’ụwa too gị,
mgbe ha nụrụ ihe niile i nyere n’iwu.
5 Ka ha bụọ abụ banyere ụzọ niile nke ONYENWE ANYỊ,
n’ihi na ebube ONYENWE ANYỊ dị ukwuu.

6 N’agbanyeghị na ONYENWE ANYỊ dị ukwuu, ọ na-elekwasị ndị dị umeala n’obi anya,
ma ọ naghị ekwe ka ndị nganga bịa ya nso.
7 A sịkwarị na m na-eje ije n’etiti nsogbu,
ị na-echebe ndụ m;
ị na-esetipụ aka gị megide iwe ndị kpọrọ m asị,
ị na-eji aka nri gị zọpụta m.†
8 ONYENWE ANYỊ ga-emezuru m ihe niile o kwadoro m;‡
ịhụnanya gị, o ONYENWE ANYỊ, na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi,
ahapụkwala ọrụ aka gị niile.

# Abụ Ọma 139

Abụ nke dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid.

*Chineke maara ihe niile*

1 O ONYENWE ANYỊ, ị nyochaala m,
ị makwaara m nke ọma
2 Ị maara mgbe m na-anọdụ ala na mgbe m na-eguzo ọtọ;
site n’ebe dị anya, ị na-aghọta echiche obi m niile.
3 Ị na-ahụzu ọpụpụ m na ndina ala m;
ị mazukwara ụzọ m niile.
4 O ONYENWE ANYỊ, ị maara ihe m gaje ikwu
tupu m kwuo ya.
5 Ị na-anọ m n’ihu, ma na-esokwa m n’azụ,
ị tụkwasịla m aka gị.
6 Ihe ọmụma dị otu a dị oke omimi nye m,
ọ dịkwa elu apụghị m iru ya.

7 Ebee ka m ga-ezo onwe m si otu a zonarị Mmụọ gị?
Ebeekwa ka m pụrụ ịgbaga ka m si n’ihu gị zoo onwe m?
8 Ọ bụrụ na m arịgoro n’eluigwe ị nọ n’ebe ahụ.
Ọ bụrụkwa na m arịda zoo onwe m n’ala mmụọ, ị nọkwa n’ebe ahụ.
9 Ọ bụrụ na m efepụ n’isi ụtụtụ dịka nwa nnụnụ, felagaa
n’ebe dị nnọọ anya nke oke osimiri,
10 ọ bụladị n’ebe ahụ ka aka gị ga na-edu m
aka nri gị ga-ejidesi m ike.
11 Ọ bụrụ na m asị, “N’ezie, ọchịchịrị ga-ekpuchi m
ìhè ga-aghọ abalị gbaa m gburugburu.”
12 Ọ bụladị ọchịchịrị agaghị abụ ọchịchịrị n’ebe ị nọ;
abalị ga-enye ìhè dịka ehihie,
n’ihi na ọchịchịrị dị ka ìhè n’ebe ị nọ.*

13 Ọ bụ gị kpụrụ akụkụ niile dị m n’ahụ.

---

† **Abụ Ọma 138:7** 138:7 Abụ 23:3-4 ‡ **Abụ Ọma 138:8** 138:8 Fil 1:6 * **Abụ Ọma 139:12** 139:12 Job 26:6; Job 34:22; Hib 4:13

Ọ bụkwa gị jikọtara ha niile ka ha bụrụ otu mmadụ n'ime afọ nne m.
14 Ana m eto gị n'ihi na abụ m onye e sitere n'oke egwu na ebube kee;
ọrụ gị niile dị ebube;
amaara m nke a nke ọma.
15 Ụdịdị m abụghị ihe zoro ezo n'ebe ị nọ
mgbe a kpụrụ m n'ebe nzuzo ahụ,
mgbe a kpakọtara m n'ebe omimi nke ụwa.
16 Anya gị abụọ hụrụ ahụ m mgbe ọ na-enweghị ụdịdị ọbụla.
E dere ụbọchị niile a kwadoro m n'ime akwụkwọ gị
tupu otu n'ime ha adịrị.
17 Lee ka echiche ị na-eche banyere m si dị oke ọnụahịa, o Chineke!
Leekwa ka ha si dị ukwuu.
18 Ọ bụrụ na m agụọ ha ọnụ,
ha ga-adị ukwuu karịa ọnụọgụgụ aja dị n'ala.
Mgbe m tetara, mụ na gị ka nọ.

19 O Chineke, a sịkwarị na ị ga-ala ndị ajọ omume niile n'iyi!
Sitenụ n'ebe m nọ pụọ, unu ndị na-akwafu ọbara!
20 Site n'echiche ọjọọ, ha na-ekwu okwu banyere gị;
ndị iro gị na-ekwutọ aha gị.
21 O ONYENWE ANYỊ, ọ bụ na m akpọghị ha asị bụ ndị kpọrọ gị asị,
na-asọkwa ndị na-enupu isi megide gị oyi?
22 Ọ bụ naanị ịkpọ asị ka m nwere n'ebe ha nọ?
Ana m agụnye ha dịka ndị iro m.
23 O Chineke, nyochaa m, mara obi m.
Nwaa m, matakwa echiche uche m niile.
24 Chọpụta ma o nwere ihe ọjọọ dị n'ime m,
ma duo m n'ụzọ ebighị ebi.

# Abụ Ọma 140

Abụ nke dịrị onyeisi abụ. Abụ Ọma Devid.

*Ekpere maka nchebe*

1 O ONYENWE ANYỊ, dọpụta m site n'aka ndị na-eme ihe ọjọọ.
Chebe m ka m ghara ịdaba n'aka ndị na-eme ihe ike dị iche iche.
2 Ndị na-atụ atụmatụ ime ihe ọjọọ n'obi ha
na-akpali agha ụbọchị niile.
3 Ha na-eme ire ha ka ha dị nkọ dịka nke agwọ;
elo ajụala dị n'egbugbere ọnụ ha.*

Sela

4 Chebe m ONYENWE ANYỊ, ka m ghara ịdaba n'aka ndị na-emebi iwu;
chebe m ka m ghara ịdaba n'aka ndị na-eme ihe ike,
ndị na-eche echiche ọdịda m.
5 Ndị mpako esielera m ọnya igbudu;
ha agbasaala ụgbụ ha na udo ha,
siekwara m ọnya dị iche iche n'ụzọ m na-aga.

Sela

6 A sịrị m ONYENWE ANYỊ, "Gị onwe gị bụ Chineke m."

* **Abụ Ọma 140:3** 140:3 Rom 3:13; Jem 3:8

Nụrụ, O ONYENWE ANYỊ, olu arịrịọ m maka amara.
7 Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ Onye nzọpụta m dị ike,
ị na-ekpuchi isi m n'ụbọchị agha.
8 Ekwekwala ka ndị ajọ omume chọta ihe ha na-achọ, o ONYENWE ANYỊ,
ekwekwala ka nzube ha mezuo.
Sela

9 Ndị niile gbara m gburugburu na-ebuli isi ha elu na nganga
ka ndụ ọjọọ nke egbugbere ọnụ ha rikpuo ha.
10 Ka icheku ọkụ na-ere ere dakwasị ha;
ka a tụba ha n'ime ọkụ na-ere ere,
n'ime olulu apịtị jupụtara, nke ha na-enweghị ike isite n'ime ya pụta ọzọ.
11 Ekwela ka ndị na-ekwu okwu nkwulu guzosie ike n'ala,
ka ihe ọjọọ chụda ndị na-eme ihe ike.

12 Amaara m na ONYENWE ANYỊ ga-ekpe ikpe ziri ezi nye ndị ogbenye
na-emekwa ka ndị nọ na mkpa nweta ihe ruuru ha.
13 N'ezie, ndị ezi omume ga-eto aha gị,
ndị ziri ezi ga-ebikwa n'ihu gị.

# Abụ Ọma 141

Abụ Ọma Devid.

*Arịrịọ nke ezi mmadụ*

1 O ONYENWE ANYỊ, ana m akpọku gị; bịakwute m ọsịịsọ.
Nụrụ olu m mgbe m na-akpọku gị.
2 Ka ekpere m bịa n'ihu gị dịka ihe na-esi isi ụtọ;
ka nchili elu nke m chịlịri aka m abụọ dịrị ka aja a na-achụ n'anyasị.

3 Nyere m aka ka m mechie ọnụ m, o ONYENWE ANYỊ;
na-echekwa egbugbere ọnụ m nche.
4 Ekwela ka obi m nwee mmasị n'ihe ọjọọ,
isonye ndị na-eme ihe ọjọọ
rụọ ọrụ ajọ omume niile dị iche iche;
ekwela ka m soro ha rikọọ ihe ụtọ ha niile.*

5 Ka onye ezi omume tie m ihe, nke a na-egosi obi ebere;
ka ọ baara m mba, nke a bụ mmanụ n'elu isi m.
Isi m agaghị ajụ ya.
Otu ọ dị, ekpere m na-emegide ọrụ niile nke ndị na-eme ihe ọjọọ.

6 A ga-esite n'elu nkume dị elu tụda ndị na-achị ha,
mgbe ahụ, ndị ajọ omume ga-amata na okwu m niile bụ eziokwu.
7 Ha ga-ekwu sị, "Dịka mmadụ na-egburi, na-akọghari ala,
otu a ka a ghasasịrị ọkpụkpụ anyị n'ọnụ ili."

8 Ma olileanya m dị na gị, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
n'ime gị ka m gbabara izere ndụ, ararala m nyefee n'aka ọnwụ.
9 Napụta m ka m ghara ịdaba n'ime ọnya igbudu niile nke ndị na-eme ajọ ihe siiri,
sitekwa n'ọnya niile ha siiri m.

* **Abụ Ọma 141:4** 141:4 Ilu 23:6

10 Ka ndị ajọ omume daba n'ime ụgbụ ha,
ma mụ onwe m ga-agabiga na-emerụghị ahụ ọbụla.

# Abụ Ọma 142

Abụ *maskil* nke Devid. Mgbe ọ nọ n'ọgba nkume. Ekpere.

*Ekpere nke onye mkpọrọ*

1 Etikuru m ONYENWE ANYỊ mkpu akwa;
ewelitara m olu m rịọ ONYENWE ANYỊ ka o meere m ebere.
2 Ekwupụtara m ihe na-esogbu m n'ihu ya,
gwakwa ya ahụhụ nke m nọ n'ime ya.

3 Mgbe mmụọ m dara mba n'ime m,
ọ bụ gị maara ụzọ m.
N'ụzọ ebe m na-esi aga
ka ndị mmadụ siiri m ọnya.
4 Lee anya n'aka nri m ma hụ
na ọ dịghị onye ọbụla na-eche ihe banyere m.
Enweghị m ebe mgbaba.
Ọ dịghị onye ọbụla ihe banyere m na-emetụta n'obi.

5 Ana m etiku gị mkpu akwa, o ONYENWE ANYỊ,
na-asị, "Gị bụ ebe mgbaba m,
oke m n'ala ndị dị ndụ."

6 Gee ntị na mkpu akwa m,
n'ihi na anọ m n'ọnọdụ ihe isiike;
gbapụta m site n'aka ndị na-achụ m ọsọ,
n'ihi na ha siri ike karịa m.
7 Mee ka m nwere onwe m site n'ụlọ mkpọrọ,
ka m nwee ike too aha gị.
Mgbe ahụ ndị ezi omume ga-agba m gburugburu
n'ihi ịdị mma gị n'ebe m nọ.

# Abụ Ọma 143

Abụ Ọma Devid.

*Ekpere maka enyemaka*

1 O ONYENWE ANYỊ, nụrụ ekpere m,
gekwaa ntị n'akwa arịrịọ m maka amara;
n'ihi ikwesi ntụkwasị obi gị na ezi omume gị,
bịa nyere m aka.
2 Edubatala m n'ọnọdụ ikpe m ikpe,
n'ihi na ọ dịghị onye ọbụla dị ndụ bụ onye ezi omume n'ihu gị.*
3 Onye iro na-achụ m ọsọ,
ọ na-azọpịa ndụ m n'ala;
na-emekwa ka m nọdụ n'ọchịchịrị,
dịka ndị nwụrụ anwụ n'ogologo oge gara aga.
4 Ya mere mmụọ m na-ada mba n'ime m
ụjọ jupụtakwara m n'obi.

* **Abụ Ọma 143:2** 143:2 Job 4:17; 9:2; Ekl 7:20

5 Ana m echeta ụbọchị niile ndị ahụ gara aga;
ana m atụgharị uche n’ọrụ gị niile
na-echekwa echiche banyere ihe niile aka gị rụrụ.
6 Ana m agbasa aka m abụọ nye gị;
agụụ gị na-agụ mkpụrụobi m dịka agụụ mmiri ozuzo si agụ ala kpọrọ nkụ.
Sela

7 O ONYENWE ANYỊ, zaa m ọsịịsọ;
mmụọ m na-ada mba.
Ezonarịla m ihu gị,
ma ọ bụghị ya, aga m adị ka ndị na-arịda ruo n’ili.
8 Mee ka m nụrụ okwu ịhụnanya gị nke na-adịghị agharịpụ n’isi ụtụtụ,
n’ihi na ọ bụ gị ka m tụkwasịrị obi.
Zi m ụzọ m kwesiri ịgbaso,
n’ihi na ọ bụ gị ka m na-eweli mkpụrụobi m nye.
9 O ONYENWE ANYỊ, gbapụta m site n’aka ndị iro m,
n’ihi na ọ bụ n’ime gị ka m na-ezo onwe m.
10 Kuziere m ime uche gị,
n’ihi na ị bụ Chineke m;
ka ezi Mmụọ gị
duo m n’ala dị larịị.

11 O ONYENWE ANYỊ, n’ihi aha gị chebe ndụ m;
n’ime ezi omume gị, napụta m site na nsogbu.
12 N’ime ịhụnanya gị na-adịghị agharịpụ, kpochapụ ndị iro m;
laa ndị niile kpọrọ m asị n’iyi,
n’ihi na abụ m ohu gị.

# Abụ Ọma 144

Abụ Ọma nke Devid.

*Abụ nke dike n’agha*

1 Otuto dịrị ONYENWE ANYỊ, onye bụ oke nkume m,
onye na-ezi aka m abụọ ibu agha,
na mkpịsịaka m ịlụ ọgụ.
2 Ọ bụ Chineke m, onye jupụtara n’ịhụnanya, bụrụkwa ebe mgbaba m e wusiri ike,
ebe m e wusiri ike na onye mgbapụta m,
ọ bụ ọta m, onye m na-agbaba n’ime ya,
onye ji aka ike mee ka ndị dị iche iche nọdụ n’okpuru m.

3 O ONYENWE ANYỊ, gịnị ka mmadụ bụ i ji na-eche echiche banyere ya,*
gịnị ka nwa nke mmadụ bụ ihe banyere ya ji na-emetụ gị n’obi?
4 Mmadụ dị ka otu nkuume;
ụbọchị ndụ ya niile na-agafe ngwangwa dịka onyinyo.

5 O ONYENWE ANYỊ, kewaa eluigwe rịdata;
metụ ugwu niile aka ka ha kwụọ anwụrụ ọkụ.
6 Zipụ amụma ka o chụsasịa ndị iro niile;
gbaa ha àkụ gị niile ma chụsasịa ha.
7 Site n’elu setịpụ aka gị;

---

* **Abụ Ọma 144:3** 144:3 Abụ 8:4

gbapụta m, napụtakwa m
site n'oke osimiri,
site n'aka ndị si mba ọzọ,
8 ndị ọnụ ha jupụtara n'ụgha,
ndị aka nri ha jupụtakwara n'aghụghọ.

9 O Chineke, aga m abụku gị abụ ọhụrụ.
Une e ji akwara iri mee ka m ga-eji kpọọrọ gị egwu;
10 gị onye na-enye ndị eze mmeri,
onye na-agbapụta ohu ya Devid.

Site na mma agha dị njọ 11 gbapụta m;
napụtakwa m site n'aka ndị si mba ọzọ
ndị ọnụ ha jupụtara n'ụgha,
ndị aka nri ha jupụtakwara n'aghụghọ.

12 Mgbe ahụ, ụmụ ndị ikom anyị, n'oge okorobịa ha,
ga-adị ka ihe a kụrụ n'ala e lekọtara anya nke ọma,
ụmụ anyị ndị inyom ga-adị ka ogidi a pịrị apị
e ji achọ ụlọeze mma.
13 Ọba anyị niile ga-ejupụta n'ihe oriri
dị iche iche si n'ubi anyị.
Atụrụ anyị ga-amụba n'ọtụtụ puku n'ọnụọgụgụ,
ha ga-adị iri puku kwụrụ puku n'ubi anyị;
14 igwe ehi anyị ga-adọkpụ ibu dị arọ.
A gaghị enwe ntipu na mgbidi anyị niile,
a gaghị adọta anyị n'agha gaa obodo ọzọ,
akwa ihe mgbu agaghị adị n'okporoụzọ anyị niile.
15 Ndị a gọziri agọzi ka ndị ahụ bụ, ndị ihe ndị a dịịrị;
ndị a gọziri agọzi ka ndị ahụ bụ, ndị Chineke bụ ONYENWE ANYỊ ha.

# Abụ Ọma 145

Abụ Ọma otuto, nke Devid.

*Ịdị mma nke Chineke*

1 Aga m ebuli gị elu, Chineke m onye bụ eze;
aga m eto aha gị, site n'ebighị ebi ruo ebighị ebi.
2 Ụbọchị niile ka m ga-eto gị
jaakwa aha gị mma site n'ebighị ebi ruo ebighị ebi.

3 ONYENWE ANYỊ dị ukwuu, bụrụkwa onye kwesiri ịnata otuto;
ịdị ukwuu ya karịrị ihe onye ọbụla pụrụ ịghọta.
4 Otu ọgbọ ga-eto ọrụ gị niile n'ihu ọgbọ ọzọ;
ha ga-ekwupụta maka ọrụ ukwuu gị niile dị iche iche.
5 Ha ga-ekwupụta ihe banyere ịdị ebube nke ịma mma gị,
aga m atụgharịkwa uche n'ọrụ ebube gị niile.
6 Ha ga-ekwupụta ihe banyere ike nke ọrụ ịtụnanya gị niile,
aga m ekwusakwa ọrụ ukwuu gị niile.
7 Ha ga-eme mmemme n'ihi ịdị mma gị dị ukwuu
jirikwa ọṅụ bụọ abụ banyere ezi omume gị.

8 ONYENWE ANYỊ na-eme amara nweekwa obi ọmịiko,
ọ dịghị ewe iwe ọsịịsọ, ọ bara ụba n'ịhụnanya.

9 ONYENWE ANYỊ dị mma n'ebe mmadụ niile dị;
o nwere ọmịiko n'ebe ihe niile o kere eke dị.
10 O ONYENWE ANYỊ, ihe niile i kere eke ga-eto gị;
ndị nsọ gị na-aja gị mma.
11 Ha ga-ekwupụta banyere ebube nke alaeze gị.
Kwupụtakwa maka ịdị ike gị,
12 ka mmadụ niile mata ihe banyere ọrụ ukwuu gị niile dị iche iche
na ebube nke ịdị mma alaeze gị.
13 Alaeze gị bụ alaeze na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi,
ọchịchị gị na-adịgidekwa site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.

ONYENWE ANYỊ na-emezu nkwa ya niile
na-ahụkwa ihe niile o kere eke n'anya.
14 ONYENWE ANYỊ na-ekulite ndị niile dara ada
na-akwagide ndị niile dara mba.
15 Olileanya ihe niile dị na gị,
ị na-enye ha nri ha mgbe oge ya ruru.
16 I na-asaghepụ aka gị
na-emezu ọchịchọ ihe niile dị ndụ.

17 Ụzọ ONYENWE ANYỊ niile ziri ezi;
ọ na-ahụkwa ihe niile o kere eke n'anya.
18 ONYENWE ANYỊ na-anọ nso ndị niile na-akpọku ya,
bụ ndị niile na-akpọku ya n'eziokwu.
19 Ọ na-emezu ọchịchọ niile nke ndị na-atụ egwu ya;
ọ na-anụ akwa ha na-azọpụtakwa ha.
20 ONYENWE ANYỊ na-echebe ndị niile hụrụ ya n'anya,
ma ọ ga-ala ndị ajọ omume niile n'iyi.

21 Ọnụ m ga-ekwupụta otuto ONYENWE ANYỊ;
ka ihe niile e kere eke too aha nsọ ya
ruo mgbe ebighị ebi.

# Abụ Ọma 146

*Tụkwasị Chineke obi*

1 Toonu ONYENWE ANYỊ.

O mkpụrụobi m, too ONYENWE ANYỊ.

2 Aga m eto ONYENWE ANYỊ ogologo ndụ m niile;
aga m abụ abụ otuto nye Chineke m mgbe m nọ na-adị ndụ.
3 Atụkwasịla ụmụ eze obi gị,
ndị bụ mmadụ efu na-apụghị ịzọpụta.
4 Mgbe mmụọ ha pụrụ, ha na-alaghachi n'aja*;
n'ụbọchị ahụ, atụmatụ ha na-aghọ ihe efu.
5 Onye a gọziri agọzi ka onye ahụ bụ, onye inyeaka ya bụ Chineke nke Jekọb,

* **Abụ Ọma 146:4** 146:4 Ekl 12:7

onye olileanya ya dị na ONYENWE ANYỊ, Chineke ya.

6 Onye kere eluigwe na ụwa,
na osimiri, na ihe niile dị n'ime ha,
ONYENWE ANYỊ, onye ikwesi ntụkwasị obi ya na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
7 Ọ na-ekpe ikpe ziri ezi nye ndị a na-akpagbu
na-enyekwa ndị agụụ na-agụ nri.
ONYENWE ANYỊ na-eme ka ndị nọ n'ụlọ mkpọrọ nwere onwe ha,
8 ONYENWE ANYỊ na-emeghe anya ndị kpuru ìsì,
ONYENWE ANYỊ na-akwagide ndị niile dara mba,
ONYENWE ANYỊ hụrụ ndị ezi omume niile n'anya.
9 ONYENWE ANYỊ na-echebe ndị ọbịa,
na-elekọtakwa ndị na-enweghị nna na ndị di ha nwụrụ anwụ,
ma ọ na-eme ka ihe ghara ịgara ndị ajọ omume nke ọma.

10 ONYENWE ANYỊ na-achị ruo ebighị ebi,
Chineke gị, o Zayọn, site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.

Toonu ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 147

*Onyenwe anyị dike, na onye amara*
1 Toonu ONYENWE ANYỊ!

Ọ bụ ihe dị mma ịbụku Chineke anyị abụ otuto.
Ọ bụ ihe na-eweta mmasị, bụrụkwa ihe ziri ezi ito ya!

2 ONYENWE ANYỊ na-ewu Jerusalem:
ọ na-akpọghachita ụmụ Izrel ndị a dọọrọ n'agha gaa n'ala ọzọ.
3 Ọ na-agwọ ndị niile obi ha tiwara etiwa
na-ekechikọtakwa ebe niile ha merụrụ ahụ.
4 Ọ bụ ya na-ekpebi ọnụọgụgụ kpakpando niile
na-akpọkwa ha n'otu na otu.*
5 Onyenwe anyị dị ukwuu, ike ya dịkwa ukwuu;
nghọta ya enweghị nsọtụ.
6 ONYENWE ANYỊ na-agba ndị dị umeala n'obi ume
ma ọ na-atụda ndị ajọ omume n'ala.

7 Jirinụ ekele bụkuo ONYENWE ANYỊ abụ;
jirinụ ụbọ akwara kpọọrọ Chineke anyị egwu.

8 Ọ na-eji igwe ojii na-ekpuchi mbara eluigwe;
ọ na-ewetara elu ụwa mmiri ozuzo
na-eme ka ahịhịa puo n'elu ugwu niile.
9 Ọ na-enye ehi niile nri
na-enyekwa ụmụ ugolọma nri mgbe ha na-ebeku ya akwa n'ihi nri.

10 Mmasị ya adịghị n'ike nke ịnyịnya,
maọbụ n'ike ụkwụ nke mmadụ.

---
* **Abụ Ọma 147:4** 147:4 Aịz 40:26

11 ONYENWE ANYỊ na-enwe mmasị n’ebe ndị na-atụ egwu ya nọ,
ndị olileanya ha dị na ịhụnanya ya nke na-adịghị agharịpụ.

12 O Jerusalem, jaa ONYENWE ANYỊ mma;
o Zayọn, too Chineke gị.

13 N’ihi na o wusiela mkpọrọ ọnụ ụzọ ama gị niile ike,
na-agọzikwa ndị niile bi n’ime gị.
14 Ọ na-eme ka oke ala gị nwee udo,
jirikwa ọka wiiti kachasị mma nyejuo gị afọ.

15 Ọ na-ezipụ iwu ya n’elu ụwa niile;
okwu ya na-agbasa ngwangwa.
16 Ọ na-atụsa snoo n’ala dịka ajị anụ,
na-efesasị igirigi snoo dịka ntụ.
17 Ọ na-atụdata mkpụrụ mmiri ya dị ka mkpụrụ okwute.
Onye pụrụ iguzogide oke ifufe oyi ya?
18 Ọ na-ezipụ okwu ya na-agbaze ha;
ọ na-akpalịte ikuku ya mee ka mmiri bido ịsọgharị.

19 O kpugheela okwu ya nye Jekọb,
iwu ya na ụkpụrụ ya niile nye Izrel.
20 O mesobeghị mba ọzọ ụdị mmeso dị otu a.
Ha amakwaghị iwu ya niile.

Toonu ONYENWE ANYỊ!

# Abụ Ọma 148

*Toonu Onyenwe ihe niile*

1 Toonu ONYENWE ANYỊ.

Toonu ONYENWE ANYỊ site n’eluigwe,
toonu ya n’ebe niile kachasị elu.
2 Toonu ya, ndị mmụọ ozi ya niile,
toonu ya, unu usuu ndị agha ya niile.
3 Toonu ya, anyanwụ na ọnwa
toonu ya, kpakpando niile.
4 Toonu ya, unu eluigwe kachasị elu
na unu mmiri dị n’elu mbara eluigwe.

5 Ka ha niile too aha ONYENWE ANYỊ,
n’ihi na ha niile malitere ịdị site n’okwu ọnụ ya.
6 O doro ha n’ọnọdụ ha ga-anọ ruo mgbe ebighị ebi;
o nyere iwu nke a na-agaghị agabiga.

7 Toonu ONYENWE ANYỊ, site n’ụwa,
unu oke anụ mmiri niile na ogbu mmiri niile,
8 na amụma, na mkpụrụ mmiri, na snoo na igwe ojii niile,
na oke ifufe niile na-eme ihe o nyere n’iwu,
9 unu ugwu ukwu niile, na ugwu nta niile

na osisi niile na-amị mkpụrụ na osisi sida niile
10 na anụ ọhịa, na anụ ụlọ niile,
na ihe niile na-akpụ akpụ n’ala na nnụnụ niile,
11 ndị eze niile nke ụwa na mba niile dị iche iche,
unu ụmụ eze na ndị niile na-achị achị n’ụwa,
12 ụmụ okorobịa na ụmụ agbọghọ,
ndị okenye na ụmụntakịrị.

13 Ka ha niile too aha ONYENWE ANYỊ,
n’ihi na ọ bụ naanị aha ya ka e buliri elu;
ebube ya dị ukwuu karịa eluigwe na ụwa.
14 O meela ka mpi* ndị ya dị elu,
otuto ndị nsọ ya niile,
nke Izrel ndị ọ hụrụ n’anya.

Toonu ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 149

*Abụ otuto*
1 Toonu ONYENWE ANYỊ!

Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ ọhụrụ.
Bụọnụ abụ ito ya n’etiti ndị nsọ ya.

2 Ka Izrel ṅụrịa ọṅụ n’ime onye kere ha;
ka ndị bi na Zayọn nwee obi ụtọ n’ime Eze* ha.
3 Ka ha jiri ite egwu too aha ya
ka ha jiri ọyọ na ụbọ akwara kpọọrọ ya egwu.
4 N’ihi na ihe banyere ndị ya na-atọ ONYENWE ANYỊ ụtọ.
Ọ na-eji nzọpụta† kpukwasị ndị dị umeala n’obi n’isi dịka okpueze.
5 Ka ndị nsọ ṅụrịa ọṅụ n’ime nsọpụrụ a,
bụkwaa abụ n’ihi ọṅụ n’elu ihe ndina ha.

6 Ka otuto Chineke dịrị n’ọnụ ha,
ka mma agha ihu abụọ‡ dịrịkwa n’aka ha,
7 iji bọọrọ mba niile ọbọ
taakwa ndị niile dị iche iche ahụhụ,
8 iji mkpọrọ igwe kee ndị eze ha
na ndị ha a na-asọpụrụ agbụ igwe,
9 imezu ihe ahụ e kpebiri, depụtakwa megide ha.
Nke a bụ nsọpụrụ dịrị ndị nsọ ya.

Toonu ONYENWE ANYỊ.

# Abụ Ọma 150

*Ka ihe niile too Onyenwe anyị*
1 Toonu ONYENWE ANYỊ.

---

* **Abụ Ọma 148:14** 148:14 Mpi bụ ihe na-egosipụta ike, gụọ akwụkwọ 1Sa 2:1 * **Abụ Ọma 149:2** 149:2 Nkp 8:23; Zek 9:9; Mat 21:5 † **Abụ Ọma 149:4** 149:4 Abụ 132:16; Aịz 61:10 ‡ **Abụ Ọma 149:6** 149:6 Hib 4:12; Mkp 1:16

Toonu Chineke n’ime ụlọnsọ ya.
Toonu ya, na mbara igwe nke ike ya.
2 Toonu ya, n’ihi ọrụ niile ọ rụrụ site n’ike ya.
Toonu ya, n’ihi ịdị ukwuu ya nke kachasị ịdị ukwuu niile.
3 Werenụ opi ike too ya,
werekwanụ ụbọ akwara na une too ya,
4 jirinụ ihe iti egwu na ite egwu too ya,
jirikwanụ ụbọ akwara dị iche iche na ọja too ya,
5 werenụ ogene too ya,
werekwanụ ogene na-ada oke ụda too ya.

6 Ka ihe niile na-eku ume too ONYENWE ANYỊ.

Toonu ONYENWE ANYỊ.*

* **Abụ Ọma 150:6** 150:6 Mgbe mmadụ na-eti, Toonu Onyenwe anyị, ya na onye na-eti Haleluya, na-ekwu otu ihe ahụ.

# Ilu
## Ihe mere e ji dee Ilu

1 Ndị a bụ ilu Solomọn nwa Devid, eze Izrel.
2 Ọ bụ maka amamihe na ntụziaka,
maka ịghọta okwu niile kwesiri ịghọta nke ọma,
3 n'ihi inweta ntụziaka n'inwe uche,
ime ezi omume na ikpe ziri ezi nke aghụghọ na-adịghị.
4 N'ihi ime ka ndị na-enweghị uche nwee ezi uche,
ka ndị na-eto eto nweta ihe ọmụma na izuzu ọma.
5 Ka onye maara ihe gee ntị, tụkwasịkwa ihe n'ihe ọ maara,
ka ndị nwere nghọta nwetakwa ezi ndụmọdụ.
6 Ka ha ghọta ilu niile na okwu niile
na-esi n'ọnụ ndị maara ihe.

7 Ịtụ egwu Onyenwe anyị bụ mmalite ihe ọmụma.*
Ọ bụkwa naanị ndị nzuzu bụ ndị na-adịghị anabata amamihe na ịdọ aka na ntị.

## Okwu mmalite: Nkwado maka ịnabata amamihe

*Ịdọ aka na ntị banyere ndị nrafu*

8 Nwa m, na-aṅa ntị na ntụziaka nke nna gị
ahapụkwala ndụmọdụ nne gị.
9 N'ihi na okpu amara ka ha ga-abụrụ isi gị,
bụrụkwa ihe ịnya n'olu nye gị.

10 Nwa m, ọ bụrụ na ndị mmehie ara gị ụra,
ekwenyerela ha, Ekwela!†
11 Ọ bụrụ na ha asị gị, "Bịa soro anyị; ka anyị zoo onwe anyị,
tigbuo onye ọbụla anyị hụrụ,
bụ onye na-emeghị ihe ọjọọ ọbụla.
12 Ka anyị loo ha na ndụ, dịka ala ili,
loo ha kpamkpam dịka ndị na-arịda n'olulu.
13 Anyị ga-enwetakwa ọtụtụ ihe dị oke ọnụahịa,
nke anyị ga-akwaju n'ụlọ anyị.
14 Soro anyị fee nza gị ka anyị nwaa ike anyị,
ihe ọbụla kwa anyị nwetara, anyị na gị ga-ekekọta ya ọnụ."
15 Nwa m, ejela ije n'ụzọ ndị dị otu a,
a zọọkwala ụkwụ n'okporoụzọ ha;
16 n'ihi na ụkwụ ha na-agba ọsọ ime ihe ọjọọ,
na-emekwa ngwangwa iwufu ọbara.
17 Ọ bụ ihe abaghị uru ịgbasa ụgbụ,
n'ebe nnụnụ ọbụla na-ahụ ya anya.
18 Ma ndị a na-esi ọnya nke na-ama ha.
Ha onwe ha ka ọnya ahụ ga-ejide.
19 Otu a ka ọ na-adịkwara ndị ọ na-agụsị agụụ ike inweta akụnụba n'ụzọ na-ezighị ezi.
N'ihi na ịgbaso ụzọ dị otu a na-ewetara ndị na-eso ya ọnwụ.

* **1:7** 1:7 Ilu 9:10; Ilu 15:33; Ekl 12:13 † **1:10** 1:10 Jen 39:7-10; Dit 13:8; Efe 5:11.

*Jidesie amamihe aka ike*

20 Amamihe na-eti mkpu n’ezi ka mmadụ nụ.
Olu ya na-ada ụda n’ama.
21 Ọ bụ n’isi akụkụ ụzọ nke mkpọtụ dịkarịsịrị ka ọ na-akpọ oku,
n’ọnụ ụzọ ama obodo ka ọ na-anọ ekwupụta okwu ọnụ ya niile.

22 “Unu ndị na-enweghị uche ruo ole mgbe ka unu ga-anọgide bụrụ ndị ga-ahụ enweghị uche n’anya?
Ruo ole mgbe ka ndị na-akwa emo ga-anọgide na mmasị ịkwa emo?
Ruo ole mgbe ka ndị nzuzu ga-anọgide na-akpọ ihe ọmụma asị?
23 Ọ bụrụ na unu gere ntị na mba m na-abara unu,
aga m awụpụ echiche niile nke obi m nye unu,
aga m emekwa ka unu mara okwu m.
24 Ma ebe ọ bụ na unu egeghị ntị mgbe m kpọrọ oku,
setịpụkwa aka m nye unu ma ọ dịghị onye ṅara ntị,
25 ebe ọ bụ na unu akpọla ndụmọdụ m asị,
jụkwa ịnabata ịba mba m nye unu,
26 ụbọchị unu ga-adaba na mmekpa ahụ, aga m achị ọchị.
Mgbe ihe egwu bịakwasịrị unu, aga m akwa unu emo.
27 Mgbe oke ihe egwu ga-abịakwasị unu dịka ikuku dị ike,
mgbe nhụju anya ga-erubiga n’elu unu dịka oke ifufe,
mgbe ịta ahụhụ na nsogbu ga-agbagwoju unu anya.

28 “Agaghị m ege ntị n’akwa unu, ọ bụ ezie na unu ga na-akpọ m.
Unu ga-achọkwa m ma unu agaghị achọta m.
29 N’ihi na unu mechiri anya unu n’ebe ihe ọmụma dị,
unu atụghị egwu Onyenwe anyị.
30 Unu aṅaghị ntị na ndụmọdụ m.
Unu lelịrị ịba mba m anya.
31 Ihe niile unu kụrụ ka unu ga-aghọta.
Ọ bụkwa ụzọ unu na ndụmọdụ unu ga-eju unu afọ.
32 N’ihi na ejezighị ije nke ndị na-enweghị uche na-egbu ha,
ọ bụkwa ọnọdụ afọ ojuju ndị nzuzu ga-alakwa ha n’iyi.
33 Ma onye na-ege ntị n’okwu m ga-ebi obi ntụkwasị obi.
Ọ ga-anọ jụụ na-enweghị ihe ọbụla ga-atụ ya egwu.”

# 2

*Ịba uru nke amamihe*

1 Nwa m, ọ bụrụ na ị nabata okwu ọnụ m niile
zobekwa iwu m niile n’ime obi gị,
2 tọọ ntị gị n’ala nye amamihe,
wepụta obi gị inwe nghọta.
3 E, ọ bụrụ na ọ bụ ihe ọmụma ka ị na-akpọku,
ọ bụrụkwa na ọ bụ nghọta ka ị na-eweliri olu gị,
4 ọ bụrụ na ị na-achọ ya dịka i si achọ ọlaọcha
maọbụ akụ nke zoro ezo,
5 mgbe ahụ, ị ga-aghọtakwa ihe bụ ịtụ egwu Onyenwe anyị
chọtakwa ihe ọmụma nke Chineke.
6 N’ihi na ọ bụ Onyenwe anyị na-enye amamihe;

n’ebe ọ nọ ka nghọta na ihe ọmụma na-esi abịa.*
7 Ọ na-edebere ndị ụzọ ha ziri ezi nzube ọganihu,
ọ bụ ọta nye ndị na-eje ije n’izuoke.
8 Ọ na-echebekwa ụzọ nke ndị na-eme ezi ihe na-agbaso,
na-elekọtakwa ụzọ nke ndị hụrụ ya n’anya na-agbaso.

9 Mgbe ahụ ka ị ga-aghọta ihe ziri ezi
na ihe dị mma na ezi ụzọ niile.
10 N’ihi na amamihe ga-enwe ọnọdụ n’ime obi gị,
ihe ọmụma ga-adịkwa mkpụrụobi gị ụtọ.
11 Izuzu zuruoke ga-echebe gị,
nghọta ga na-eche gị nche.

12 Amamihe ga-azọpụta gị site n’ụzọ ndị mmehie,
sitekwa na mmadụ ndị okwu ha jọrọ njọ,
13 ndị hapụrụ ụzọ niile ziri ezi nke Chineke
na-agbaso ụzọ niile nke ọchịchịrị,
14 ndị na-aṅụrị ọṅụ n’ihe ọjọọ,
n’ihi na mmehie ha na-atọ ha ụtọ.
15 Ihe ọbụla ha na-eme gbagọrọ agbagọ,
jọọkwa njọ.

16 Ọ bụ naanị amamihe ga-anapụta gị n’aka nwanyị akwụna,
na nwanyị na-abụghị nwunye gị nke na-ekwu okwu nrafu.
17 Onye na-ahapụ di ọ lụrụ n’agbọghọ,
nke chefuru ọgbụgba ndụ ọ gbara n’ihu Chineke.
18 Ụlọ nwanyị dị otu a dị n’okporoụzọ
nke na-eduba n’ọnwụ na n’ọkụ ala mmụọ.
19 Ndị ikom niile banyere n’ụlọ ha na-ala n’iyi.
Ha adịghị alọtakwa n’okporoụzọ nke na-eduba na ndụ.

20 N’ihi nke a, ị ga-aga ije n’ụzọ ndị ezi omume,
debekwa ụkwụ gị n’okporoụzọ niile nke ndị ezi omume,
21 n’ihi na ọ bụ naanị ndị ziri ezi ga-ebi n’ala ahụ,
ndị na-enweghị ịta ụta ga-afọdụkwa n’ime ya.
22 Ma ndị na-emebi iwu ka a ga-ebipụ site n’ala ahụ,
ọ bụkwa ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi ka a ga-ewezuga na ya.

# 3

*Amamihe na-eweta ahụ ike*

1 Nwa m echezọla ihe niile m ziri gị.
Ma debe iwu m n’obi gị.
2 N’ihi na ha ga-eme ka ndụ gị dị ogologo ruo ọtụtụ afọ,
wetakwara gị udo na ọganihu.

3 Ekwela ka ịhụnanya na ikwesi ntụkwasị obi hapụ gị,
kekwasị ha n’olu gị,
deekwa ha n’elu mbadamba nkume, bụ obi gị.*

---

* **2:6** 2:6 1Ez 3:9,12; Job 32:8; Jem 1:5. * **3:3** 3:3 Ịsụgharị ya n’ụzọ ọzọ ga-abụ, deekwa ha n’ime obi gị 7:3; 2Kọ 3:3

4 Mgbe ahụ, ị ga-enwe ihuọma na ezi aha
n'anya Chineke na n'ihu mmadụ.

5 Tụkwasị ONYENWE ANYỊ obi gị niile,
adaberekwala na nghọta gị.
6 N'ihe ọbụla ị na-eme, ka Chineke bute ụzọ,
ọ ga-eduzi gị, meekwa ka okporoụzọ gị niile gazie.

7 A bụla onye maara ihe n'anya nke onwe gị.
Tụọ ONYENWE ANYỊ egwu, kpọọkwa ihe ọjọọ asị.
8 Nke a ga-eme ka i nwee ahụ ike
gbaakwa ọkpụkpụ gị ume.

9 Sọpụrụ ONYENWE ANYỊ site n'inye ya mkpụrụ mbụ nke akụnụba gị,
na mkpụrụ mbụ nke ihe ubi gị.
10 Mgbe ahụ ka ọ ga-eme ka ọba gị niile jubigakwa oke,
ebe ịnara mmanya gị ga-ejupụta na mmanya ọhụrụ.

11 Nwa m nwoke ajụla ịdọ aka na ntị nke ONYENWE ANYỊ,
ike agwụla gị ịnagide ịba mba ya.
12 N'ihi na ọ bụ ndị ONYENWE ANYỊ hụrụ n'anya ka ọ na-abara mba,
dịka nna si abara nwa ya nke ihe ya na-atọ ya ụtọ mba.

13 Onye a gọziri agọzi ka mmadụ ahụ bụ onye chọtara amamihe,
onye nwetara nghọta.
14 N'ihi na amamihe dị mma karịa ọlaọcha,
ọ bakwara uru karịa ọlaedo.
15 Ọ dị oke ọnụahịa karịa ọla rubi,
ọ dịghị ihe na-amasị gị e ji atụnyere ya.
16 Ndụ ogologo dị n'aka nri ya;
n'aka ekpe ya ka akụnụba na nsọpụrụ dịkwa.
17 Ụzọ ya bụ ụzọ dị mma
bụrụkwa ụzọ udo.
18 Amamihe bụ osisi nke ndụ† nye ndị na-ejide ya aka,
e, onye ahụ nke na-ejidesi ya aka ike ka ihe na-agara nke ọma.

19 Ọ bụ site n'amamihe ka ONYENWE ANYỊ ji tọọ ntọala ụwa;
ọ bụkwa nghọta ya mere ka eluigwe dịrị ebe ọ dị.
20 Esitere n'ihe ọmụma ya kewaa ogbu mmiri niile,
igwe ojii na-atụdakwa igirigi.

21 Nwa m nwoke, ekwela ka ihe abụọ ndị a site n'ihu gị wezuga onwe ha:
amamihe na nghọta nke ime ihe dị mma n'izuzu zuruoke,
22 n'ihi na ha na-enye gị ndụ ọhụrụ,
ha bụkwaara gị ihe ịchọ mma amara n'olu gị.
23 Ha na-eme ka ị na-aga ije n'ụzọ gị na-enweghị ihe egwu
maọbụ ihe mkpọbi ụkwụ.
24 Mgbe ị ga-edina ala, ị gaghị atụ egwu,
ị ga-edina ala ụra gị ga-adị ụtọ.

---
† **3:18** 3:18 Jen 2:9; Ilu 11:30; Ilu 15:4; Mkp 2:7

25 Ị gaghị atụ egwu ihe mbibi mberede ọbụla
maọbụ tụọ egwu ịla n’iyi nke na-abịakwasị ndị ajọ omume.
26 N’ihi na ONYENWE ANYỊ bụ ebe ndabere gị,
ọ ga-echebekwa gị.

27 Ejigidele ihe ọma ị pụrụ imere onye ọzọ
mgbe ọ dị gị n’aka ime ya.‡
28 A sịkwala onye agbataobi gị laa,
bịaghachi azụ echi
mgbe i nwere ike ime ya taa.
29 Agbala izu ọjọọ megide onye agbataobi gị,
n’ihi na o nwere ntụkwasị obi n’ebe ị nọ.
30 Ebola mmadụ ebubo na-enweghị isi,
mgbe onye ahụ na-emeghị gị ihe ọjọọ ọbụla.

31 Ekwosola onye na-eme ihe ike ekworo
maọbụ họrọ ụzọ ya ọbụla.

32 N’ihi na ndị dị otu a bụ ihe arụ n’anya ONYENWE ANYỊ,
ma ọ na-emeso ndị na-eme ihe ziri ezi mmeso ọma.
33 Ọbụbụ ọnụ ONYENWE ANYỊ dị n’ụlọ ndị na-eme ajọ omume,
ma ọ na-agọzi ụlọ ndị ezi omume.
34 Ndị mpako na-akwa emo ka ya onwe ya na-akwakwa emo,
ma ndị dị umeala n’obi ka ọ na-enye amara.§
35 Ndị maara ihe na-enweta nsọpụrụ,
ma ndị nzuzu na-enweta ihere.

# 4

*Amamihe Kachasị ihe niile*

1 Ụmụ m ndị ikom, geenụ ntị na ndụmọdụ nke nna unu,
lezienụ anya ka unu nwee nghọta.
2 Ṅaanụ ntị, nwee uche, n’ihi na ọ bụ ezi ozizi ka m na-ezi unu;
ya mere, unu ahapụkwala iwu m.
3 Mgbe m bụ nwantakịrị n’ụlọ nna m,
mgbe m ka dị ntakịrị, bụrụkwa naanị otu nwa nne m ji,
4 ọ ziri m ihe, sịkwa m,
“Ka obi gị jidesie okwu m niile ike,
debe n’iwu niile, ị ga-adịkwa ndụ.
5 Nweta amamihe, nwetakwa nghọta,
echezọkwala okwu m, maọbụ site na ya wezuga onwe gị.
6 Ahapụla amamihe, ọ ga-echebe gị,
hụ ya n’anya, n’ihi na ọ ga-eduzi gị.
7 Mmalite amamihe bụ nke a, nweta amamihe,
ihe ọbụla o ga-efu gị, nweta nghọta.
8 Ọ bụrụ na i bulie amamihe elu, o ga-ebulikwa gị elu.
Jidesie ya ike, ọ ga-ewetara gị oke nsọpụrụ.
9 Ọ ga-eji okpueze okoko osisi chọọ isi gị mma
nyekwa gị okpueze mara mma n’isi gị.”

‡ **3:27** 3:27 Gal 6:10. § **3:34** 3:34 Jem 4:6; 1Pt 5:5

10 Nwa m, ṅaa m ntị, meekwa ihe m gwara gị;
ị ga-enwekwa ndụ ogologo.
11 M ga-edu gị n'ụzọ nke amamihe,
duokwa gị n'ụzọ ziri ezi.
12 Ọ bụrụ na i bie ụdị ndụ dị otu a, ihe agaghị akpọ gị n'ụkwụ n'ije gị,
ị gaghị asụkwa ngọngọ mgbe ị na-agba ọsọ.
13 Mee ihe niile m gwara gị, echefukwala ha,
n'ihi na ọ ga-eduba gị na ndụ zuruoke.
14 Emela dịka ndị na-emebi iwu.
Esokwala ụzọ ha.
15 Zeere ha, ejekwala n'ụzọ ha;
chepu ihu gị n'ụzọ ahụ,
16 n'ihi na ndị na-emebi iwu adịghị arahụ ụra tutu ha emee arụ nke ụbọchị ahụ.
Ha anaghị ezu ike tutu ha emee ka otu onye maa n'ọnya.
17 Ha na-eri ihe oriri nke mmebi iwu,
na-aṅụkwa ihe ọṅụṅụ nke ọgbaaghara.

18 Ma ụzọ ndị ezi omume dị ka anyanwụ na-awa n'isi ụtụtụ,
nke na-enwuuwakwa dịka ìhè n'etiti ehihie ụbọchị.
19 Ma ụzọ onye na-emebi iwu dị ka itiri nke ọchịchịrị,
ha anaghị ama ihe na-eme ka ha sụọ ngọngọ.

20 Gee ntị nwa m, n'ihe m na-ekwu.
Gee ntị nke ọma.
21 Doo ihe ndị a n'uche gị mgbe niile;
ka ha bamiekwa n'ime obi gị,
22 n'ihi na ha bụ ndụ nye ndị chọtara ha,
bụrụkwa ahụ ike nye mmadụ.
23 Nke ka nke, lezie echiche uche gị niile anya,
n'ihi na ha na-emetụta ndụ gị niile.
24 Ka ụgha ọbụla ghara isi gị n'ọnụ pụta;
kpọọ ịgha ụgha niile na okwu rụrụ arụ niile asị.
25 Legide anya n'ihu ime ihe bụ eziokwu;
atụgharịkwala isi gị ile ihe ọbụla.
26 Leruo ije ụkwụ gị anya,
doziekwa ụzọ gị niile ka ọ guzozie.
27 Ewezugala onwe gị site n'aka nri maọbụ n'aka ekpe;
si n'ihe ọjọọ wezuga ụkwụ gị.

# 5

### *Ịdọ aka na ntị banyere ịkwa iko*

1 Nwa m, ṅaa ntị n'okwu amamihe m,
gee ntị n'okwu nghọta m ndị a.
2 Lezie anya, ka i debe izuzu dị iche iche,
ka egbugbere ọnụ gị na-echebekwa ihe ọmụma.*
3 N'ihi na egbugbere ọnụ nwanyị na-akwa iko na-atọ ka mmanụ aṅụ,
okwu ọnụ ya na-akwọ mụrụmụrụ karịa mmanụ.
4 Ma n'ikpeazụ, ọ na-elu ilu dịka oluilu
dịkwa nkọ ka mma agha ihu abụọ.

* **5:2** 5:2 Mal 2:7

5 Ụkwụ ya abụọ na-arịdaru n'ọnwụ,
nzọ ụkwụ ya abụọ na-eje n'ụzọ ọkụ ala mmụọ.
6 N'ihi na ọ dịghị agbaso ụzọ kwesiri ndụ;
ụzọ ya gbagọrọ agbagọ, ma ọ maghị nke a.

7 Ugbu a ụmụ m, geenụ m ntị,
unu esikwala n'okwu niile nke ọnụ m wezuga onwe unu.
8 Gbaara nwanyị dị otu a ọsọ!
Ejekwala ọnụ ụzọ ụlọ ya nso,
9 ka ị ghara ire ugwu gị n'ebe ndị ọzọ nọ,
maọbụ were ndụ gị tinye n'aka ndị na-enweghị obi ebere.
10 Ka ndị ọbịa ghara inwe oke oriri n'elu akụ gị,
ka ihe niile ị dọgburu onwe gị n'ọrụ ịkpata gharakwa imejupụta ụlọ onye ọzọ.
11 Ka ị gharakwa ịsụ ude n'ikpeazụ
mgbe ọrịa ga-eripịa ọkpụkpụ gị na anụ ahụ gị.
12 Mgbe ị ga-asị, Lee ka m si kpọọ ịdọ aka na ntị asị!
"Leekwa ka obi m si lelịa iba mba anya!
13 Egeghị m ntị n'ozizi nke ndị nkuzi m
maọbụ nabata ndụmọdụ nke ndị ndụmọdụ m.
14 N'ihi na ugbu a, abịaruola m na mbibi
n'ihu ọha mmadụ niile."

15 Ṅụọ naanị mmiri nke si n'ite mmiri gị;
mmiri dị mma nke si n'olulu mmiri gị.
16 Gịnị mere ị ga-eji kwe ka isi mmiri gị sọọ n'okporoụzọ,
ka mmiri nke aka gị sọọ n'ama?
17 Kwee ka ha bụrụ nke naanị gị,
nke onye ọbịa na-agaghị enwe oke n'ime ya.
18 Kwere ka ịbụ nwoke gị bụrụ ngọzị nye gị;
ṅụrịakwa ọṅụ n'ihi nwunye nke ị lụtara n'okorobịa gị.
19 Nne anụ nke na-ahụ n'anya, dịka ele mara mma,
ka ara dị ya n'obi zuore gị,
ka ịhụnanya ya na-enye gị obi ụtọ mgbe ọbụla.
20 Gịnị ka ị na-achọ n'ahụ nwanyị na-akwa iko?
Gịnị mere i ji na-amaku nwunye onye ọzọ obi?

21 N'ihi na ONYENWE ANYỊ na-ele gị anya,
ihe niile ị na-eme ka ọ na-ahụ.
22 Onye na-emebi iwu na-esite na mmehie ya laa onwe ya n'iyi;
mmehie ndị a bụ ụdọ nke na-ejide ya.
23 Ọ ga-anwụ n'ihi na ọ nabataghị ịdọ aka na ntị;
ọ bụkwa nzuzu ya dufuru ya.

# 6

*Ịdọ aka na ntị banyere nzuzu*

1 Nwa m, ọ bụrụ na ị nara onye agbataobi gị n'ibe,
ọ bụrụ na ị nara aka ị bụrụ onye ọbịa onye akaebe,
2 ị bụrụla onye mara n'ọnya site n'ihe ị kwuru,
onye enwudere site n'okwu ọnụ ya.
3 Mee nke a, nwa m, si n'ime ya wepụ onwe gị;

n’ihi na ịdabala n’aka onye agbataobi gị:
Jee ọsịịsọ weda onwe gị n’ala rịọọ ya
enyekwala ya izuike ọbụla.
4 Ekwekwala ka ụra baa gị anya abụọ,
ekwekwala ka mbụbara anya gị ruo ụra.
5 Napụta onwe gị, dịka mgbada site n’aka dinta,
maọbụ dịka nnụnụ site n’ọnya osi ọnya.

6 Gaa mụta ihe site n’aka ndanda, gị onye umengwụ.
Mụta ihe site n’ụzọ ya niile.
7 Ọ bụ ezie na o nweghị eze na-achịkọta ha,
maọbụ onyendu, maọbụ ọchịagha,
8 ma ọ na-akpakọta nri ya n’oge ọkọchị
ma na-ewebata nri ya n’oge owuwe ihe ubi.

9 Ọ bụ ruo ole mgbe ka ị ga-edina ala n’ebe ahụ, gị onye umengwụ?
Olee mgbe ka ị ga-esi n’ụra bilie?
10 Nwa ụra nta, nwa iru ụra nta,
nwa ịchịkọba aka nta zuo ike,
11 ụbịam ga-abịakwasị gị dịka onye ohi,
ụkọ abịakwasịkwa gị dịka onye na-apụnara mmadụ ihe.

12 Onye okwu na ụka na onye omume ya jọgburu onwe ya,
onye na-ejegharị na-ekwu okwu aghụghọ,
13 onye ji iro na-egbu ikuanya ya,
jiri ụkwụ ya na-ekwu okwu
na mkpịsịaka ya na-egosi ihe.
14 Onye obi ya na-echepụta ihe ọjọọ na aghụghọ,
onye na-akpalikwa esemokwu mgbe niile.
15 N’ihi ya, mbibi ga-abịakwasị ya na mberede;
n’otu ntabi anya ka a ga-ebibi ya, apụghịkwa ịgwọta ya.

16 Ọ dị ụzọ ihe isii ONYENWE ANYỊ kpọrọ asị,
e, ha dị asaa bụ ihe arụ n’ebe ọ nọ.
17 Anya dị nganga,
ire na-ekwu okwu ụgha,
aka na-awụfu ọbara ndị na-emeghị ihe ọjọọ.
18 Obi na-echepụta nzube ọjọọ;
ụkwụ na-eme ngwangwa ịgbaba n’ajọ ihe,
19 onyeama ụgha na-awụpụ ụgha dịka mmiri
na onye na-agbasa esemokwu n’etiti ụmụnna.

### *Ịdọ aka na ntị banyere ịkwa iko*

20 Nwa m, debe ihe nna gị nyere gị n’iwu,
ahapụkwala iwu nke nne gị.*
21 Ka ndụmọdụ ha dịrị gị n’obi mgbe niile,
ka ị ghara ichefu ha.
22 Mgbe ị na-ejegharị, ọ ga na-edu gị;
mgbe ị na-arahụ ụra, ọ ga na-eche gị.
Mgbe i tetakwara, ha ga-akpanyere gị ụka.

* **6:20** 6:20 Efe 6:1

23 N’ihi na iwu a bụ oriọna,†
Ihe ozizi a bụkwa ìhè,‡
otu a kwa ịdọ aka na ntị na ịba mba
bụ ụzọ ezi ndụ,
24 idebe gị ka ị pụọ n’ebe nwunye onye agbataobi gị nọ,
sitekwa n’ire ụtọ nke nwanyị ọjọọ.

25 Ekwela ka agụ n’ezighị ezi gụọ gị n’ime obi n’ihi ịma mma ya,
ma ọ bụkwanụ ka o jiri ile anya ya rata gị.

26 N’ihi na nwanyị akwụna ka enwere ike iji otu ogbe achịcha nweta,
ma nwunye nwoke ọzọ na-achụ nta ndụ gị ịla ya n’iyi.
27 Mmadụ ọ pụrụ ịgụrụ ọkụ tụkwasị n’ahụ ya,
ma uwe ya ereghị ọkụ?
28 Mmadụ ọ pụrụ ije ije n’elu icheku ọkụ
ma ụkwụ ya ahapụ igbuchapụ?
29 Otu a ka ọ na-adịrị nwoke na-abakwuru nwunye mmadụ ibe ya;
o nweghị onye ọbụla na-emetụ ya aka nke a na-agaghị ata ahụhụ.

30 Ndị mmadụ adịghị eleda onye ohi anya ma ọ bụrụ na o zuo ohi
ka o were gboo mkpa agụụ nke na-agụsị ya ike.
31 Ma ọ bụrụ na ejide ya ọ ga-akwụghachi ụgwọ ihe niile ahụ o zuru okpukpu asaa.
N’agbanyeghị na nke a ga-eme ka o ree ihe niile o ji biri n’ụlọ ya.
32 Ma nwoke ahụ na-akwa iko bụ onye nzuzu, amamihe kọrọ ya,
n’ihi na ọ bụ onwe ya ka ọ na-ala n’iyi.
33 A ga-eti ya ezi ihe otiti, a ga-elelikwa ya anya,
ihere ya agaghị ekwe ihichapụ.

34 N’ihi na di nwanyị ahụ ga-esite n’ekworo wee iwe dị ọkụ;
ọ gakwaghị enwe obi ebere n’ebe ọ nọ n’ụbọchị ọ ga-abọ ọbọ.
35 Ọ gaghị anara ihe ọbụla n’ọnọdụ ihe nkwụghachi n’ihi ihe ọjọọ o mere ya.
O nwekwaghị ihe a ga-enye ya pụrụ ime ka iwe ya dajụọ.

# 7

*Ịdọ aka na ntị banyere nwanyị na-akwa iko*

1 Na-agbaso okwu m nwa m, nọgide na ya,
dokwaa iwu m niile n’ime obi gị.
2 Debe iwu m ka ị dị ndụ,*
chee ozizi m nche dịka ọ bụ mkpụrụ anya gị.
3 Kee ha na mkpịsịaka gị,
deekwa ha n’elu mbadamba nkume, bụ obi gị.
4 Hụ amamihe n’anya dịka nwaagbọghọ ị hụrụ n’anya;
hụkwa inwe nghọta n’anya dịka a ga-asị na ọ bụ nwanne gị.
5 Kwee ka ha debe gị, ka ị ghara ijekwuru nwanyị na-akwa iko,
ka ị gharakwa ịṅa ntị n’okwu ire ụtọ ya.

6 N’ihi na otu ụbọchị,
esi m na oghereikuku dị n’ụlọ m lepụ anya,
7 hụ n’etiti ndị na-enweghị uche,

† **6:23** 6:23 Abụ 119:105 ‡ **6:23** 6:23 Abụ 19:8; 2Pt 1:19 * **7:2** 7:2 Lev 18:5; Aịz 55:3

ahụtara m otu nwokorobịa n’etiti ha,
onye amamihe kọrọ,
8 ka ọ na-aga n’ụzọ dị nso ebe nkuku ụlọ
n’akụkụ ụlọ nwanyị ihere na-adịghị eme,
9 n’oge anyasị, dịka chi na-eji,
mgbe ọchịchịrị na-agbachi.

10 Mgbe ahụ, nwanyị ahụ pụtara zute ya.
O yi uwe dịka nwanyị akwụna, jiri aghụghọ na-abịakwute ya.
11 (Ọ na-eme ụzụ na-aṅaghị ntị ịnụ ihe ọbụla.
Ụkwụ ya anaghị anọgide n’ụlọ ya.
12 Ọ na-akwụgharị ma n’okporoụzọ ma n’ama;
na-amịgharị n’ebe nzuzo niile.)
13 O weere aka ya abụọ jikụọ nwokorobịa ahụ n’olu, sutu ya ọnụ,
were ihu nke ihere na-adịghị, sị:

14 “Emezuru m nkwa niile m kwere taa,
enwekwara m nri nke sitere n’ihe aja udo m chụrụ n’ụlọ m,
15 Ọ bụ gị ka m na-achọkwute,
lee gị ka ị na-abịa.
16 Agbasaala m akwa mara mma n’elu ihe ndina m,
bụ akwa ọcha mara mma tụrụ ọtụtụ agwa nke e ji ogho ndị Ijipt kpaa.
17 Efesakwala m mmanụ isi ọma nke máá, aloos na sinamọn
n’elu n’ihe ndina m.
18 Bịa, ka anyị were ịhụnanya ṅụjụbiga afọ anyị;
ka anyị mee onwe anyị obi ụtọ site ugbu a ruo ụtụtụ echi.
19 N’ihi na di m anọghị n’ụlọ
o jeela njem dị anya.
20 O ji akpa ego juru gaa njem,
abalị ole na ole ga-agafekwa tupu ọ lọta.”

21 Otu a ka o si jiri okwu ire ụtọ ya megharịa nwokorobịa ahụ isi tutu o kwenyere ya.
O nwekwaghị ike ịnapụta onwe ya site n’okwu nrafu nke nwanyị ahụ.
22 O sooro nwanyị ahụ dịka ehi
a na-adọkpụ na-aga ebe a ga-egbu ya,
dịka ele† nke na-aba n’ọnya,
23 nke na-eche ka e were àkụ gbata ya n’obi.
Nwoke ahụ dịka nnụnụ nke na-efeba n’ọnya
na-amaghị ihe na-eche ya pụrụ iwepụ ndu ya.

24 Geenụ ntị, ụmụ m, ma ọ bụghị naanị ige ntị,
kama meekwanụ ihe m na-ekwu.
25 Ekwela ka agụụ nke obi gị chịa gị;
ejela nwanyị dị otu a nso; gbaara ya ọsọ, ka ọ ghara ịnwa gị nwetakwa gị.
26 N’ihi na o mebiela ndụ ọtụtụ mmadụ,
ọtụtụ mmadụ amaala n’ọnya ya.
27 Ụlọ ya bụ okporoụzọ nke na-eduba n’ili,
nke na-edubakwa n’ala ọnwụ.

---

† **7:22** 7:22 Maọbụ, onye nzuzu

# 8

*Ọkpụkpọ oku amamihe na-akpọ*

1 Ọ bụ na amamihe adịghị eti mkpu?
Ọ bụ na nghọta anaghị eme ka olu ya daa ụda?
2 Ọ na-eguzo n'elu ebe niile dị elu n'okporoụzọ,
n'agbata ụzọ niile.
3 N'ọnụ ụzọ nke obodo niile
na n'ọnụ ụzọ ụlọ niile ka ọ nọ na-eti mkpu,
4 ọ na-asị, "Ụmụ mmadụ geenụ m ntị;
ọ bụ unu ndị dị ndụ ka m na-agwa okwu.
5 Unu ndị na-enweghị uche, nweenụ uche zuruoke;
unu ndị nzuzu, nweenụ nghọta.
6 Geenụ m ntị, n'ihi na enwere m okwu dị mkpa m ga-agwa unu;
Ihe ọbụla m kwuru bụ ihe ziri ezi,
7 Ọnụ m na-ekwu eziokwu
n'ihi na akpọrọ m okwu ụgha asị.
8 Ndụmọdụ m zuruoke, ọ dịkwa mma.
Ihe ọjọọ ọbụla adịghị n'ime ya.
9 N'ebe onye nwetara nghọta nọ, okwu m doro anya;
n'ebe ndị chọtara ihe ọmụma nọ, okwu m ziri ezi.
10 Họrọ ịdọ aka na ntị m karịa ọlaọcha
họrọkwa ihe ọmụma karịa ọlaedo dị ezi mma."
11 Amamihe dị mkpa karịa nkume rubi dị oke ọnụahịa.
Ọ dịkwaghị ihe a ga-eji tụnyere ya.

12 "Mụ onwe m bụ amamihe na ezi nghọta na-agakọta.
Enwere m ọmụma ihe na ezi izuzu.
13 Ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ bụ ịkpọ ihe ọjọọ asị.
Akpọrọ m nganga na mpako,
omume ọjọọ nakwa okwu gbagọrọ agbagọ asị.
14 Ndụmọdụ na ezi nghọta bụ nke m;
enwekwara m ọmụma ihe na ike.
15 Site na m ka ndị eze ji achị,
ọ bụ m na-eme ka ndị na-achị achị mee iwu ziri ezi.
16 Site na m ka ndị eze ji achị
bụ ndịisi niile na-achị n'ụwa.
17 Ndị niile hụrụ m n'anya ka m na-ahụ n'anya.
Ndị niile na-achọ m aghakwaghị ịchọta m.
18 Ana m ekenye ụba na nsọpụrụ,
na ikpe ziri ezi na ezi omume.
19 Onyinye m na-enye dị mma karịa ọlaọcha,
ọ karịkwara ọlaedo.
20 Ana m aga ije n'ụzọ ezi omume,
n'okporoụzọ ikpe ziri ezi.
21 Ndị niile hụrụ m n'anya, na-eketa akụnụba.
Ana m emejupụtakwa ụlọakụ ha.

22 "ONYENWE ANYỊ kpụrụ m dịka mmalite ụzọ ya,
tupu o bido ike ihe ọbụla ọzọ.
23 Site n'ebighị ebi gara aga ka m dị;

adịkwa m adị tupu e kee ụwa.
24 Anọ m na-adị tupu e kee ogbu mmiri,
tupu isi iyi ọbụla agbapụta mmiri n’elu ụwa,
25 tupu e kee ugwu ukwu
na ugwu nta.
26 E, amụọla m rịị tupu Chineke ekee ụwa
na osisi niile, na aja niile dị n’ime ya.
27 Anọ m ya mgbe o doziri mbara eluigwe n’ọnọdụ ya,
mgbe ọ tụsara ha n’elu ogbu mmiri niile;
28 mgbe o hiwere mbara eluigwe,
mgbe o mere ka isi iyi niile nke ogbu mmiri dị ike,
29 mgbe ọ kpara oke nye osimiri ebe ọ ga-akwụsị,
ka mmiri ya ghara ịgafe iwu ya,
mgbe ọ kara akara ebe a tọrọ ntọala nke ụwa.
30 Oge ahụ niile ka m na-anọ n’akụkụ ya dịka onye ǹka.
Ihe banyere m na-atọkwa ya ụtọ;
ana m egwuri egwu n’ihu ya.
31 Ihe niile o kere tọkwara m ụtọ,
ụwa niile na ụmụ mmadụ!

32 “N’ihi ya, ụmụ m ndị ikom, geenụ m ntị;
n’ihi na ndị niile na-eso ụzọ m na-enwe ọṅụ.
33 Gee ntị na ndụmọdụ m ka ị bụrụ onye maara ihe,
agbakụtakwala ndụmọdụ m azụ.
34 Ngọzị dịrị mmadụ ahụ na-aṅa ntị n’okwu m,
onye na-anọ na nche n’ọnụ ụzọ m ụbọchị niile,
onye na-anọ na-echere m n’ọnụ ụzọ ụlọ m;
35 n’ihi na onye ọbụla chọtara m chọtara ndụ;
ọ natakwala ihuọma n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ.
36 Ma onye na-enweghị ike chọta m na-emerụ onwe ya ahụ;
ndị niile kpọrọ m asị hụrụ ọnwụ n’anya.”

# 9

*Ọkpụkpọ oku nke amamihe na nzuzu*

1 Amamihe ewuola ụlọ ukwu ya
n’elu ogidi asaa.
2 O doziela oriri ya n’usoro,
o gbuola anụ ya, gwaakwa mmanya.*
3 O zipụkwala ndị ozi ya ka ha gaa kpọọ mmadụ niile,
site n’ebe dị elu nke obodo ka ha nọ na-akpọ oku na-asị,
4 “Bịanụ n’ụlọ m, unu ndị niile na-enweghị uche”
Ma nye ndị amamihe kọrọ, ọ na-asị,
5 “Bịanụ, rie nri m,
ṅụọkwa mmanya m gwakọtara.
6 Hapụnụ ụzọ enweghị uche unu, ka unu were dị ndụ;
gbasokwanụ ụzọ mmụọ ịghọta ihe.”

7 Onye ọbụla na-adọ onye na-akwa emo aka na ntị na-ewetara onwe ya nleli;
onye na-abara mmadụ ọjọọ mba na-enweta nkọcha.

---

* **9:2** 9:2 A na-eji ụda máá gwakọọ na mmanya i ji mee ka ọtọ ezi ụtọ n’ọnụ.

8 Abarala ndị na-akwa emo mba, ma ọ bụghị ya, ha ga-akpọ gị asị;
baara ndị maara ihe mba, ha ga-ahụ gị n’anya.
9 Kuziere onye maara ihe ihe o kwesiri ịmụta, ọ ga-ama ihe karịa,
kuziere onye ziri ezi ihe ọ ga-atụkwasị ihe ọ mụtara n’amamihe ya.

10 N’ihi na ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ bụ mmalite amamihe,
inwe ihe ọmụma banyere onye Nsọ ahụ bụkwa nghọta.
11 N’ihi na ọ bụ site na amamihe, ka ụbọchị gị ga-adị ogologo.
A ga-etinyekwara gị ọtụtụ afọ na ndụ gị.
12 Ị bụrụ onye nwere amamihe, amamihe gị ga-abara gị uru,
ma ị bụrụ onye na-akwa emo, naanị gị ga-ata ahụhụ ya.

13 Nwanyị dị nzuzu na-eme mkpọtụ,
o nweghị uche; ihere adịghịkwa eme ya.
14 Ọ na-anọ ọdụ n’ọnụ ụzọ ụlọ ya,
n’elu oche n’ebe dịkarịsịrị elu n’obodo,
15 na-akpọ ndị na-aga n’ụzọ oku,
bụ ndị na-aga mkpa ha,
16 “Ka ndị niile amamihe kọrọ bịa n’ụlọ m.”
Ọ na-asịkwa ndị na-enweghị uche,
17 “Mmiri e zutere n’ohi na-atọ ụtọ,
nri e riri na nzuzo na-atọkarịkwa n’ụtọ.”
18 Ma ha adịghị aghọta na ndị n’adịghị ndụ nọ n’ebe ahụ,
na ndị ọ kpọrọ oku nri aghọọlarị ndị nọ n’ala mmụọ.

## Ndị a bụ ilu Solomọn

# 10

1 Ilu dị iche iche nke Solomọn:
Nwata maara ihe na-eme ka nna ya ṅụrịa ọṅụ;
ma nwantakịrị dị nzuzu na-ewetara nne ya n’iru ụjụ.

2 Akụ a kpatara n’ụzọ na-ezighị ezi adịghị aba uru,
ma ezi omume na-azọpụta mmadụ site n’ọnwụ.

3 ONYENWE ANYỊ agaghị ekwe ka onye ezi omume nwụọ n’agụụ,
ọ gakwaghị ekwe ka ihe nọgide na-agara onye ajọ omume nke ọma.

4 Aka ndị umengwụ na-eweta ogbenye,
ma aka na-arụsị ọrụ ike na-eweta ụba.

5 Onye na-ekpokọta n’oge ọkọchị bụ nwa maara ihe,
ma nwa ahụ nke na-arahụ ụra n’oge ọrụ bụ nwa na-eweta ihere.

6 Onye ezi omume na-anata ngọzị,
ma naanị nkọcha jupụtara n’ọnụ onye ajọ omume.

7 Aha onye ezi omume ka eji enye ngọzị,
ma aha onye ajọ omume ga-ere ure.

8 Onye obi ya maara ihe na-anabata ihe e nyere n’iwu,
ma onye nzuzu ekwurekwu ga-ala n’iyi.

9 Onye ụzọ ya ziri ezi na-aga ije n’atụghị egwu,
ma onye ụzọ ya ezighị ezi ka a ga-achọpụta.

10 Onye ọbụla na-egbu ikuanya na-ebute ihe mwute,
onye nzuzu ekwurekwu ga-abịa n’ịla n’iyi.

11 Ọnụ onye ezi omume bụ isi iyi nke ndụ,
ma naanị nkọcha jupụtara n’ọnụ onye ajọ omume.

12 Ịkpọ asị na-akpali esemokwu,
ma ịhụnanya na-ekpuchi mmehie niile.

13 Ndị nwere nghọta na-ekwu okwu nwere isi,
ma ndị na-enweghị uche ka a na-eti ihe dịka ohu.

14 Onye amamihe na-akpakọba ihe ọmụma,
ma onye nzuzu na-eji ọnụ ya akpọ ịla n’iyi oku.

15 Akụ ndị ọgaranya bụrụ ha obodo e wusiri ike,
ma ụbịam bụ ịla n’iyi nke ndị ogbenye.

16 Ụgwọ ọrụ onye ezi omume bụ ndụ,
ma ihe nweta nke onye ajọ omume bụ mmehie na ọnwụ.

17 Onye na-ege ntị na ndụmọdụ na-egosi ụzọ nke ndụ,
ma onye na-adịghị anabata ndụmọdụ na-eme ka ndị ọzọ kpafuo.

18 Onye ji egbugbere ọnụ ụgha ekpuchi ịkpọ asị
na onye na-agbasa okwu nkwutọ bụ onye nzuzu.

19 N’ọtụtụ okwu mmehie adịghị akwụsị
ma ndị nwere uche na-ejide ire ha.

20 Ire nke onye ezi omume bụ ọlaọcha kachasị mma,
ma obi onye ajọ omume bụ ihe ọnụahịa nta.

21 Egbugbere ọnụ onye ezi omume na-azụju ọtụtụ mmadụ afọ,
ma ndị nzuzu na-anwụ n’ihi amamihe nke kọrọ ha.

22 Ngọzị Onyenwe anyị na-eme mmadụ ọgaranya,
ọ naghị atụkwasị ya nsogbu.

23 Ihe na-atọ onye nzuzu ụtọ bụ izube nzube ọjọọ;
ma ihe na-atọ onye maara ihe ụtọ bụ inwe nghọta.

24 Ihe ahụ onye na-emebi iwu n’atụ ụjọ ya ga-abịakwasị ya,
ihe onye ezi omume na-achọ ka a ga-enye ya.

25 Mgbe oke ifufe na-emebi ihe, ndị na-emebi iwu ka ọ na-eburu;
ma ndị ezi omume na-eguzosi ike ruo ebighị ebi.

26 Onye umengwụ na-abụ ihe mgbu nye onyenwe ya;
ọ dịka anwụrụ ọkụ n’anya mmadụ maọbụ dịka mmanya gbara ụka nke na-ejiji eze.

27 Ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ na-enye ogologo ndụ,
ma ọnụọgụgụ afọ nke onye ajọ omume na-adị mkpụmkpụ.

28 Olileanya ndị ezi omume ga-abụ ọṅụ;
olileanya ndị na-emebi iwu bụ naanị ihe efu.

29 Ụzọ ONYENWE ANYỊ bụ ebe mgbaba nye ndị na-enweghị ịta ụta,
maọbụ ịla n’iyi nye ndị na-eme ajọ ihe.

30 A pụghị iwezuga* onye ezi omume,
ma onye na-emebi iwu agaghị anọgide.

31 N’ọnụ onye ezi omume ka mkpụrụ amamihe si abịa,
ma ire na-ekwu okwu nduhie ka a ga-eme ka o dere duu.

32 Egbugbere ọnụ onye ezi omume mara ihe na-eweta ihuọma,
ma ọnụ ndị ajọ omume bụ naanị okwu nduhie.

# 11

1 Ihe ọtụtụ aghụghọ* bụ arụ n’ihu ONYENWE ANYỊ
ma ihe ọtụtụ zuru ezu na-anata ihuọma n’ebe ọ nọ.

2 Nganga bịa, nleli a na-eso ya,
ma onye dị umeala n’obi na-amụta ihe.

3 Eziokwu nke ndị ziri ezi n’obi na-edu ha;
ma omume gbagọrọ agbagọ nke ndị aghụghọ n’ala ha n’iyi.

4 Akụnụba gị agaghị azọpụta gị n’ụbọchị ikpe;
ọ bụ naanị ezi omume na-anapụta site n’ọnwụ.

5 Ezi omume nke ndị na-enweghị ịta ụta na-eme ka ụzọ ha zie ezi,
ma ajọ omume nke ndị na-emebi iwu na-akwada ha.

6 Ezi omume nke onye ziri ezi na-azọpụta ya;
ma ọchịchọ ọjọọ nke ndị na-aghọ aghụghọ ka a ga-eji jide ha.

7 Mgbe onye ajọ omume nwụrụ, olileanya ya niile alala n’iyi,
ihe niile ọ na-ele anya inweta site n’ike ya alaakwala n’iyi.

8 Chineke na-azọpụta ndị ezi omume site na nsogbu ha,
ma ndị ajọ omume ka ọ na-ahapụ ka ha daba n’ime ya.

9 Okwu ọjọọ ka onye ajọ omume ji emebi onye agbataobi ya.
Ma site n’ihe ọmụma ka onye ezi omume ga-eji dọpụta ndụ ya.

* **10:30** 10:30 Maọbụ, ihopu * **11:1** 11:1 Lev 19:35-36; Dit 25:13-16; Mai 6:11

10 Ọganihu nke onye ezi omume na-atọ mmadụ niile ụtọ,
otu aka ahụ kwa, ọnwụ onye ajọ omume na-atọ mmadụ niile ụtọ.

11 A na-esite na ngọzị nke ndị ziri ezi bulie obodo elu,
ma a n'ala ya n'iyi site n'okwu ọnụ ndị ajọ omume.

12 Ikwu okwu nleda megide onye agbataobi gị bụ nzuzu;
ma onye ahụ nwere nghọta na-agba nkịtị.

13 Onye na-agba asịrị na-ekpughe ihe nzuzo,
ma onye kwesiri ntụkwasị obi na-ekpuchi ihe nzuzo.

14 N'ihi enweghị ezi ndị ndu ka obodo ji ada,
ma ọtụtụ ndị ezi ndụmọdụ na-eweta mmeri.

15 Onye ọbụla na-ana onye ọbịa n'akaebe ga-ata ahụhụ,
ma onye jụrụ ịkwụ ụgwọ onye ọzọ ji, nọ na ntụkwasị obi.†

16 Nsọpụrụ na-adịrị nwanyị nwere obiọma,
ma ndị na-adịghị eme ebere bụ naanị akụnụba ka ha na-enweta.

17 Onye nwere obiọma baara onwe ya uru,
ma onye nwere obi ọjọọ na-ewetara onwe ya nsogbu.

18 Onye ajọ omume na-anata ụgwọ ọrụ aghụghọ,
ma onye na-agha ezi omume dịka mkpụrụ na-anata ụgwọ ọrụ kwesiri ekwesi.

19 Onye na-eguzosi ike ime ihe ziri ezi ga-enwe ndụ;
ma onye na-agbaso ihe ọjọọ ga-ahụ ọnwụ.

20 ONYENWE ANYỊ na-akpọ ndị obi ha gbagọrọ agbagọ asị
ma ndị ụzọ ha na-enweghị ihe ịta ụta na-amasị ya.

21 Ọ bụ ihe doro anya na ndị na-emebi iwu ga-ata ahụhụ,
ma ndị ezi omume ka a ga-anapụta.

22 Nwanyị mara mma, nke na-enweghị uche,
dịka ọlaedo a gbanyere ezi n'imi.

23 Olileanya onye ezi omume bụ ọṅụ,
ma onye na-emebi iwu na-ele naanị anya ihe ọjọọ.

24 Otu onye na-agbasapụ aka ya na-enye enye ma na-enweta akụ karịa,
ma onye ọzọ na-egbochi egbochi ma na-ada ogbenye.

25 E, onye na-agbasa aka ya ga-aba ọgaranya;
onye ọbụla na-atụte ndị ọzọ ka a ga-atụtekwa.

26 Ndị mmadụ na-abụ onye na-achịkọba mkpụrụ ọka na-ereghị ya ere ọnụ,
ma ha na-ekpetara onye nke dị njikere ire nke ya ngọzị Chineke.

---

† **11:15** 11:15 Maọbụ, ga-enwe udo

27 Onye na-achọ ihe ọma na-enweta ihuọma,
ma ihe ọjọọ na-abịakwasị onye na-achọ ya.

28 Ndị tụkwasịrị obi n’akụnụba ha ga-ada,
ma onye ezi omume ga-epupụta dịka akwụkwọ ndụ.

29 Onye na-ewetara ezinaụlọ ha nsogbu ga-eketa naanị ifufe,
onye nzuzu ga-abụ ohu nke onye maara ihe.

30 Mkpụrụ nke ndị ezi omume bụ osisi na-enye ndụ,
onye na-erita mkpụrụobi n’uru bụ onye maara ihe.

31 Ọ bụrụ na a ga-akwụ ndị ezi omume ụgwọ ọrụ ha n’ụwa a;
a ga-esi aṅaa ghara ịkwụ ndị na-amaghị Chineke na ndị mmehie ụgwọ ọrụ.

# 12

1 Onye ọbụla na-ahụ ịdọ aka na ntị n’anya na-ahụ ihe ọmụma n’anya,
ma onye na-akpọ ịba mba asị bụ onye na-enweghị ụbụrụ isi.

2 Ezi mmadụ na-anata ihuọma site n’aka Onyenwe anyị,
ma onye na-atụpụta atụmatụ ọjọọ ka ọ na-ama ikpe.

3 Onye ajọ omume agaghị anọgide,
ma apụghị ihopu onye ezi omume.

4 Ezi nwanyị bụ ọṅụ na okpueze di ya,
ma nwanyị na-eweta ihere dịka ire ure n’ọkpụkpụ di ya.

5 Echiche obi niile nke onye ezi omume bụ ihe ziri ezi,
ma ndụmọdụ onye ajọ omume jupụtara n’aghụghọ.

6 Okwu niile nke ndị ajọ omume bụ ihe na-eweta ọnwụ,
ma okwu ndị omume ha ziri ezi na-anapụta ha.

7 Ndị na-emebi iwu ga-ala n’iyi,
ma ndị ezi omume ga-eguzosi ike.

8 Onye nwere uche zuruoke ka mmadụ niile na-achọ,
ma onye uche ya gbagọrọ agbagọ ka mmadụ na-eleda anya.

9 Ọ ka mma ịbụ onye a na-elelị anya ma i nwere ohu,
karịa ịbụ onye a na-asọpụrụ ma bụrụ onye nri na-adịghị n’ụlọ ya.

10 Onye ezi omume na-elekọta anụ ụlọ ya,
ma obi ebere kachasị nro nke onye ajọ omume mere bụ enweghị obi ebere.

11 Onye na-arụ ala ubi ya ga-enwe nri n’ebe ọ bara ụba,
ma onye na-agbaso ihe efu dị iche iche, amamihe kọrọ.

12 Ndị ajọ omume na-enwekwa anya ukwu n’ihe ndị ajọ omume ibe ha nwere,

ma mgbọrọgwụ nke ndị ezi omume ga-eto eto.

13 A na-ejide onye ajọ omume site n’okwu ọnụ ya,
ma onye ezi omume na-esi na nsogbu wezuga onwe ya.

14 Ikwu eziokwu na-enye mmadụ obi ụtọ,
inwe mgbalị na-ewetara ya ngọzị.

15 Ụzọ ndị nzuzu n’uche ha onwe ha ziri ezi,
ma onye maara ihe na-aṅa ntị nye ndụmọdụ.

16 Ndị nzuzu na-egosipụta iwe ha ọsịịsọ,
ma onye nwere uche na-elepụrụ mkparị anya.

17 Ezi onye akaebe na-ekwu eziokwu,
ma ajọ onye akaebe na-ekwu okwu ụgha.

18 Okwu ọjọọ na-agbawa obi dịka mma agha,
ma ire onye maara ihe na-eweta ọgwụgwọ.

19 Eziokwu na-eguzo ruo mgbe ebighị ebi,
ma okwu ụgha anaghị adịgide.

20 Aghụghọ na-ejupụta n’obi na-eche ihe ọjọọ;
ma ndị na-eme ka udo dị na-enwe ọṅụ.

21 Ihe ọjọọ anaghị adakwasị onye ezi omume,
ma ndị ajọ omume enwetala nsogbu ebe ọ dị ukwuu.

22 ONYENWE ANYỊ kpọrọ egbugbere ọnụ n’agha ụgha asị,
ma ihe ndị kwesiri ntụkwasị obi na-amasị ya.

23 Onye nwere uche na-edebe ihe ọmụma ha nye onwe ha,
ma onye nzuzu na-agbasa enweghị uche ya n’anwụ.*

24 Aka na-arụsị ọrụ ike ga-achị achị,
ma umengwụ ga-akwụsị naanị n’ọrụ mmanye.

25 Obi nke jupụtara na nchegbu na-ada mba,
ma okwu ọma na-eme ka obi ṅụrịa.

26 Onye ezi omume na-eduzi onye agbataobi ya,
ma onye na-emebi iwu na-eduhie ha.

27 Onye umengwụ adịghị ahụ anụ ọ chụtara na nta n’ọkụ,
ma ndị na-arụsị ọrụ ike na-eri site n’akụ ha nwetara n’ịchụ nta.

28 Ụzọ nke onye ezi omume na-eduba na ndụ,
n’ụzọ ahụ, ọnwụ adịghị ya.

* **12:23** 12:23 Ilu 13:16

# 13

1 Nwa maara ihe na-ege ntị na ndụmọdụ nna ya
ma onye na-akwa emo adịghị ege ntị n'ịba mba.

2 Onye na-eme ezi ihe ga-esite n'okwu ọnụ ya nweta ụgwọ ọrụ,
ma ndị na-aghọgbu ibe ha ga-anata ihe ike dịka ụgwọ ọrụ ha.

3 Mmadụ zuruoke bụ onye na-ejide ire ya aka!*
Ma onye ekwuruekwu na-ewetara onwe ya mbibi.

4 Ndị umengwụ na-achọ ọtụtụ ihe ma ọ dịghị ihe ha na-enweta;
ma onye na-arụsị ọrụ ike na-enweta ihe niile ọ chọrọ.

5 Onye ezi omume kpọrọ ụgha asị,
ma okwu ọnụ onye na-emebi iwu
na-ewetara ya ihere na nkọcha.

6 Ezi omume mmadụ na-abara ya uru na ndụ ya niile,
ma ajọ omume ndị mmehie na-ala ha n'iyi.

7 Ọ dị mmadụ na-eme ka ọ bụ ọgaranya maọbụ onye ụkpa.
Ma ọ dịkwa mmadụ na-eme ka ọ bụ onye ụkpa maọbụ ọgaranya.

8 Ọgaranya nwere ike jiri ego ya gbapụta onwe ya,
ma ogbenye adịghị azaghachi mba banyere imerụ ya ahụ.

9 Ìhè onye ezi omume na-enwupụ enwupụ,
ma oriọna onye mmebi iwu ga-anyụ.

10 Nganga na-eweta esemokwu,
ma a na-ahụ amamihe n'ime ndụ ndị na-anata ndụmọdụ.

11 Akụ a kpatara ngwangwa na-emebikwa ngwangwa;
ma akụ sitere n'ịrụsị ọrụ ike na-eto eto.

12 Nchere a na-echere ogologo oge maka imezu olileanya e nwere na-egbu obi,
mgbe ihe a na-eche mezuru, oke ọṅụ na-adị.

13 Onye na-elelị ntụziaka anya ga-akwụ ụgwọ n'ihi ya,
ma onye na-atụ egwu ihe enyere n'iwu ga-anata ụgwọ ọrụ ya.

14 Nkuzi nke onye maara ihe bụ isi iyi nke ndụ,
nke na-eme ka mmadụ ghara ịma n'ọnya ọnwụ.

15 Ezi nghọta na-eweta ihuọma,
ma ụzọ nke ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi na-eduba ha na mbibi.

16 Onye nwere uche na-eji ọmụma ihe n'arụ ọrụ,
ma ndị nzuzu na-egosipụta enweghị uche ya.

---

* **13:3** 13:3 Abụ 141:3; Ilu 21:23

17 Onyeozi ajọ omume na-adaba na nsogbu,
ma onyeozi kwesiri ntụkwasị obi na-eweta ọgwụgwọ.

18 Onye na-ajụ ịdọ aka na ntị ga-anwụ n’ụkpa na n’ihere;
ma onye na-anabata ịdọ aka na ntị ka a ga-asọpụrụ.

19 Mgbe ihe a na-ele anya mezuru ọ na-atọ mkpụrụobi ụtọ,
ma ndị nzuzu kpọrọ isite n’ajọ ihe wezuga onwe ha asị.

20 Na-eso ndị maara ihe ka ị ghọọ onye mara ihe,
n’ihi na onye na-eso ndị nzuzu na-aba na nsogbu.

21 Nsogbu bụ ihe na-esogharị ndị mmehie,
ma ngọzị na-esogharị ndị ezi omume.

22 Mgbe ezi mmadụ nwụrụ, ọ na-ahapụrụ ụmụ ya na ụmụ ụmụ ya akụ,
ma mgbe onye mmehie nwụrụ, akụ ya na-abụ nke ndị ezi omume.

23 Ubi onye ogbenye pụrụ inwe ọtụtụ ihe oriri,
ma ikpe na-ezighị ezi na-azachapụ ya.

24 Onye ọbụla na-adọghị ụmụ ya aka na ntị, na-egosi na ọ hụghị ha n’anya;
ma onye hụrụ ha n’anya, ga-adọsi ha aka na ntị ike.

25 Onye ezi omume na-eri nri ruo na nriju afọ onwe ya,
ma nri na-akọ n’afọ onye ajọ omume.

# 14

1 Nwanyị maara ihe na-ewu ụlọ ya,
ma nwanyị nzuzu na-eji aka ya akwada ụlọ ya.

2 Ime ihe ziri ezi bụ ịtụ egwu Onyenwe anyị;
ma ndị na-ejehie n’ụzọ ha na-akpọ ya asị.

3 Ọnụ onye nzuzu na-ekwupụta okwu mpako,
ma egbugbere ọnụ onye maara ihe na-echebe ha.

4 Mgbe ehi na-adịghị, ụlọ ebe a na-azụ anụ na-adị ọcha,
ma site n’ike ehi ihe omume nke ubi na-ejupụta n’ụlọ.

5 Onye akaebe eziokwu adịghị aghọgbu mmadụ,
ma onye akaebe ụgha na-agha ụgha mgbe ọbụla.

6 Onye na-akwa emo na-achọ amamihe ma ọ dịghị achọta ya;
ma ihe ọmụma na-abịara onye nwere nghọta ọsịịsọ.

7 Si n’ebe onye nzuzu wezuga onwe gị,
n’ihi na ị gaghị achọta ihe ọmụma n’ọnụ ya.

8 Amamihe nke onye nwere uche bụ ihe na-eme ka ọ mata ebe ọ na-aga,

ma enweghị uche nke ndị nzuzu bụ aghụghọ.

9 Ndị nzuzu na-eji okwu idozi ihe mmehie mebiri akwa emo;
ma obi ebere ka a na-achọta n'etiti ndị omume ha ziri ezi.

10 Ọ bụ naanị onye ihe na-eme maara ụfụ ya,
ọ dịghị onye ọzọ ga-eso keta ọṅụ ya.

11 A ga-ala ụlọ onye ajọ omume n'iyi,
ma ụlọ ikwu onye omume ya ziri ezi ga-awasa ka igu.

12 Ọ dị ụzọ nke ziri ezi n'anya mmadụ,
ma n'ikpeazụ ọ na-eduba n'ọnwụ.

13 Ọ bụladị n'ime ọchị obi mgbu na-adị,
ma ọṅụ nwere ike kwụsị n'iru ụjụ.

14 Ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi aghaghị inweta ụgwọ ọrụ ha,
ma ezi mmadụ ga-enwetakwa ụgwọ ọrụ ya.

15 Onye na-enweghị uche na-ekwenye ihe niile a gwara ya;
ma onye nwere uche na-atule mara ebe ọ na-eje.

16 Onye mara ihe na-atụ egwu Onyenwe anyị na-ewezugakwa onwe ya n'ihe ọjọọ,
ma onye nzuzu na-ewebiga iwe oke ma na-eche na ọ ka bụ onye kwesiri ntụkwasị obi.

17 Onye iwe ọkụ na-eme ihe nzuzu,
ma onye na-echepụta nzube ọjọọ ka a na-akpọ asị.

18 Ndị na-enweghị uche na-enweta ụgwọ ọrụ nke uche gbagọrọ agbagọ,
ma onye nwere uche na-enweta ihe ọmụma.

19 Ndị ọjọọ ga-akpọ isiala n'ihu ndị ezi mmadụ,
ndị ajọ omume ga-ada n'ọnụ ụzọ ama ndị ezi omume.

20 Ọ bụladị ndị agbataobi onye ogbenye na-akpọ ya asị,
ma ọgaranya na-enwe ọtụtụ ndị enyi.

21 Onye na-eleda onye agbataobi ya anya na-emehie,
ma onye na-emere ndị ogbenye ebere ka ihe ga-agara nke ọma.

22 Ndị na-ezube ihe ọjọọ, ha ọ naghị akpafu?
Ma ndị na-ezube ihe ọma na-achọta ịhụnanya na ikwesi ntụkwasị obi.

23 Ịrụsị ọrụ ike na-eweta uru;
ma oke okwu na-eweta ụkpa.

24 Okpueze nke ndị maara ihe bụ akụnụba ha,
ma enweghị uche nke ndị nzuzu na-emepụta naanị ihe na-abaghị uru.

25 Onye na-agba akaebe eziokwu na-anapụta ndụ mmadụ,
ma onye akaebe ụgha bụ onye aghụghọ.

26 Onye ọbụla na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ nwere ebe mgbaba;
nye ụmụ ya ọ ga-abụkwa ebe ize ndụ.

27 Ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ bụ isi iyi nke ndụ;
nke na-eme ka mmadụ ghara ịma n'ọnya ọnwụ.

28 Otuto onye eze na-enwe dabeere n'ọnụọgụgụ ndị ọ na-achị,
e wezuga ndị ọ na-achị, eze enweghị ugwu ọbụla.

29 Onye na-enwe ndidi nwere ọtụtụ nghọta,
ma onye obi ọkụ na-egosi enweghị uche ya.

30 Ndụ dị jụụ na-eme ka ụbọchị mmadụ dị ogologo;
ekworo na-eme ka o ree ure.

31 Onye ọbụla na-emegbu onye ogbenye na-eleli Chineke kere ha anya,
ma onye na-emere onye ogbenye ebere na-asọpụrụ Chineke.

32 Ọ bụladị n'ọnwụ onye ezi omume nwere ebe mgbaba n'ime Chineke,
ma ndị ajọ omume na-ala n'iyi, mgbe mbibi bịara.

33 N'obi onye nwere nghọta ka amamihe na-anọgide,
ma ọ bụladị n'etiti ndị nzuzu ọ na-eme ka amara ya.

34 Ezi omume na-ewuli mba elu,
ma mmehie bụ ihe ihere nye ndị ọbụla.

35 Eze na-aṅụrị ọṅụ n'ihi odibo maara ihe;
ma odibo na-eweta ihere na-akpali oke iwe ya.

# 15

1 Ọsịsa okwu dị nro na-eme ka iwe na ọnụma laa azụ;
ma okwu ike na-akpali iwe.

2 Ire onye maara ihe na-eme ka ihe ọmụma mụbaa,
ma ọnụ onye nzuzu na-ekwupụta okwu enweghị uche.

3 ONYENWE ANYỊ na-ahụzu ihe niile,
anya ya dịkwa n'ahụ ndị ọma na ndị ọjọọ.

4 Okwu dị nwayọọ na-eweta ndụ na ume;
ma nkwutọ na-eweta ịda mba.

5 Naanị onye nzuzu na-akpọ ndụmọdụ ndị mụrụ ya ihe efu;
ma onye ọbụla na-ege ntị nye mgbanwe na-ezipụta ezi uche.

6 Ụlọ ndị ezi omume na-ejupụta n'ọtụtụ akụ,

ma akụ ndị na-emebi iwu na-ewetara ha nsogbu.

7 Egbugbere ọnụ onye maara ihe na-agbasa ihe ọmụma,
ma obi ndị nzuzu ezighị ezi.

8 ONYENWE ANYỊ na-akpọ aja ndị ajọ omume asị,
ma ekpere ndị ndụ ha ziri ezi na-atọ ya ụtọ.

9 ONYENWE ANYỊ kpọrọ ụzọ ndị na-emebi iwu asị,
ma ndị na-achụso ezi omume ka ọ na-ahụ n'anya.

10 Oke ịdọ aka na ntị na-echere ndị na-ahapụ ụzọ.
Onye kpọrọ ịba mba asị ga-anwụ ọnwụ.

11 ONYENWE ANYỊ mazuru ihe omimi niile nke ọnwụ na ọkụ ala mmụọ;
ọ ga-esikwa aṅaa ghara ịma obi ụmụ mmadụ?

12 Ọ dịghị atọ onye na-akwa emo ụtọ ma a baara ya mba,
ya mere ọ dịghị ejekwuru onye maara ihe.

13 Obi nke na-aṅụrị ọṅụ na-eme ka ihu dị mma.
Ihu gbarụrụ agbarụ na-egosi obi nwere ihe mwute.

14 Obi nwere nghọta na-achọ ịmata ihe,
ma ọnụ onye nzuzu na-azụ onwe ya n'okwu na-abaghị uru.

15 Ndụ onye ogbenye jupụtara nnọọ na mgbalị,
ma ndị nwere udo n'obi na-eri oriri mgbe niile.

16 Ọ dị mma inwe akụnụba dị nta ma bụrụ onye na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ,
karịa inwe akụ ma nọrọ na nsogbu.

17 Ọ ka mma bụ oke nri akwụkwọ nri nta nke nwere ịhụnanya,
karịa ehi buru ibu a zụziri azụzi nke ịkpọ asị dị na ya.

18 Onye iwe ọkụ na-amalite ọgụ;
ma onye na-adịghị ewe iwe ọsịịsọ na-eme ka ịlụ ọgụ kwụsị.

19 Eji ogwu gbochie ụzọ onye umengwụ,
ma ụzọ onye omume ya ziri ezi bụ ụzọ dị larịị.

20 Nwa nke maara ihe na-eme ka obi tọọ nna ya ụtọ,
ma onye nzuzu na-eleda nne ya anya.

21 Onye na-enweghị uche na-aṅụrị ọṅụ n'ime amaghị ihe ya,
ma onye nwere nghọta na-aga ije n'ụzọ ziri ezi.

22 Nzube na-enweghị ndụmọdụ na-ama afọ n'ala,
ma ndị ndụmọdụ dịrị ọtụtụ ọganihu ga-adị.

23 Ọṅụ na-adị mgbe mmadụ natara ọsịsa dị mma,

okwu e kwuru n’oge o kwesiri dị mma.

24 Ụzọ ndụ na-agbago elu nye onye nwere uche,
iwezuga ha site na-ịgbada n’ala mmụọ dị n’okpuru.

25 ONYENWE ANYỊ na-adọtu ma na-adọrisi ụlọ nke onye mpako,
ma oke ala nke nwanyị di ya nwụrụ ka ọ na-elekọta.

26 Echiche ọjọọ niile nke ndị na-emebi iwu ka ONYENWE ANYỊ kpọrọ asị
ma okwu ebere niile dị ọcha n’anya ya.

27 Onye anya ukwu na-ewetara ezinaụlọ ya nsogbu.
Ma onye kpọrọ iri ngarị asị ga-adị ndụ.

28 Obi onye ezi omume na-atule ọsịsa ya
ma ọnụ nke onye ajọ omume na-asọpụta ihe ọjọọ dị iche iche.

29 ONYENWE ANYỊ anọghị ndị na-emebi iwu nso;
ma ọ na-anụ ekpere ndị ezi omume.

30 Ihu ọchị na-eweta obi ụtọ.
Akụkọ ọma na-enyekwa ọkpụkpụ ndụ.

31 Onye na-ege ntị nye ịba mba nke na-enye ndụ
ga-esoro ndị amamihe nọrọ.

32 Onye jụrụ ịdọ aka na ntị kpọrọ onwe ya asị
ma onye ọbụla naara ndụmọdụ nwere nghọta.

33 Ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ bụ amamihe na-abịa site n’ịdọ aka na ntị;
onye dị umeala n’obi ga-anata ugwu na nsọpụrụ.

## 16

1 Mmadụ nwere ike pịa ihe ọ chọrọ ime,
ma okwu ikpeazụ ga-esi n’ọnụ ONYENWE ANYỊ.

2 Ụzọ niile nke mmadụ dị ọcha n’anya ya,
ma ONYENWE ANYỊ na-atule ebumnobi niile nke mmadụ.

3 Were ọrụ gị niile nyefee n’aka ONYENWE ANYỊ,
ọ ga-eme ka ha gaa n’ihu.

4 ONYENWE ANYỊ na-eme ka ihe niile rụpụta ebumnuche ya,
o bụladị ndị mmebi iwu ka e debere maka ụbọchị mbibi.

5 ONYENWE ANYỊ kpọrọ ndị nwere obi dị mpako asị.
Mara nke a nke ọma: Ha aghaghị ịta ahụhụ.

6 Ọ bụ site n’ịhụnanya na eziokwu ka eji ekpuchi mmehie;
ọ bụkwa site n’egwu ONYENWE ANYỊ ka mmadụ ji agbanarị mmehie.

7 Mgbe ụzọ mmadụ na-agbaso na-atọ ONYENWE ANYỊ ụtọ,
ọ na-eme ka mmadụ ahụ na ndị iro ya dị n’udo.

8 Ọ dị mma inwe ihe nta n’ezi omume
karịa inwe ọtụtụ uru n’ụzọ ikpe na-ezighị ezi.

9 Anyị nwere ike pịa ọpịpịa n’obi anyị,
maọbụ ONYENWE ANYỊ na-edu ije anyị.

10 Egbugbere ọnụ eze na-ekwu okwu sitere na-ezi nghọta,
ọnụ ya adịghị ekpe ikpe na-ezighị ezi.

11 Ihe ọtụtụ ziri ezi na ihe niile ha n’otu dịrị ONYENWE ANYỊ,
ihe niile e ji atụ ihe dị n’ime akpa bụ ya mere ha.

12 Ndị eze kpọrọ ime ihe na-adịghị mma asị,
n’ihi na site n’ezi omume ka ocheeze ji eguzosi ike.

13 Ndị eze na-enwe mmasị n’egbugbere ọnụ na-ekwu eziokwu,
ha na-agụ onye na-ekwu eziokwu dị ka ezi mmadụ.

14 Iwe eze bụ onyeozi nke ọnwụ.
Onye maara ihe ga-eme ka ọ dajụọ.

15 Mgbe ọchị dị n’ihu eze ọ na-ewetara onye hụrụ ya ndụ,
ihuọma ya dị ka igwe ojii na-eweta mmiri ozuzo.*

16 Ọ ka mma inwe amamihe na mmụọ ịghọta ihe
karịa inwe ọlaọcha na ọlaedo.

17 Ụzọ dị larịị nke onye ziri ezi bụ iwezuga onwe ya pụọ n’ihe ọjọọ,
ndị na-echebe ụzọ ha niile na-echebekwa ndụ ha.

18 Nganga na-eweta ịla n’iyi,
mpako na-ewetakwa ọdịda.

19 Ọ ka mma ịbụ onye ogbenye nwere obi umeala karịa ịbụ onye nganga,
na onye so ndị nganga keta oke n’ihe ha kwatara n’agha.

20 Onye ọbụla na-aṅa ntị na ndụmọdụ ka ihe na-agara nke ọma,
onye a gọziri agọzi bụ onye ahụ nke na-atụkwasị ONYENWE ANYỊ obi.

21 A na-amata onye nwere uche site n’ụdị nghọta o nwere.
Okwu dị ụtọ na-eme ka mmadụ mụta ihe nke ọma.

22 Inwe uche bụ isi iyi ndụ nye ndị niile nwere ya,
ma enweghị uche na-ewetara ndị nzuzu ntaramahụhụ.

23 Obi onye maara ihe na-eme ka e tinye uche n’okwu ọnụ ya,

* **16:15** 16:15 Mmiri ozuzo n’oge ọkọchị na-eme ka ahịhịa kpọnwụrụ akpọnwụ tutee, nke a na-eweta ọnụ, n’ihi olileanya ọ na-enye banyere ụba nke ihe a kụrụ n’ubi.

egbugbere ọnụ ha na-emekwa ka mmụta gaa n’ihu.

24 Okwu dị nro na-atọ ụtọ ka mmanụ aṅụ,
ọ na-atọ mkpụrụobi ụtọ, na-enyekwa ọkpụkpụ ahụ ike.

25 Ọ dị ụzọ nke ziri ezi n’anya mmadụ,
ma n’ikpeazụ ọ na-eduba n’ọnwụ.

26 Agụụ ihe oriri nke onye ọrụ na-arụpụtara ya ọrụ;
agụụ na-akpali mmụọ ya ịga n’ihu.

27 Ndị ọjọọ na-atụpụta echiche ọjọọ,
egbugbere ọnụ ha dị ka ọkụ nke na-ekpochapụ ahụ.

28 Onye na-emebi iwu na-agbasa ise okwu;
ha na-akpali nsogbu, na-ekewa enyi na enyi.

29 Ndị ọjọọ na-arafu ndị agbataobi ha,
na-edubakwa ha n’ụzọ ga-ewetara ha mbibi.

30 Onye ji ikuanya ya ekwu okwu na-atụ atụmatụ ọjọọ,
onye na-atabi egbugbere ọnụ ya abụọ ekpebiela ime mmehie.

31 Isi awọ bụ okpueze nke mara mma,
a na-enweta ya n’ụzọ ezi omume.

32 Onye na-adịghị ewe iwe ọsịịsọ karịrị onye a maara aha ya.
Onye nwere ogologo ntachiobi karịrị onye na-adọta obodo n’agha.

33 A na-efe nza, n’ihi ịchọpụta uche ONYENWE ANYỊ,
maọbụ Chineke n’onwe ya na-ekpebi ihe a ga-efeta na nza ahụ.

# 17

1 Ọ ka mma ịta iberibe achịcha kpọrọ nkụ ma ịnọ n’udo adị ya,
karịa n’ụlọ jupụtara n’oke oriri na ịlụ ọgụ.

2 Ohu nwere uche ga-achị nwa nna ya ukwu na-eweta ihere
ma ketakwa oke n’ihe nketa dịka otu n’ime ndị ezinaụlọ ahụ.

3 Ite eji anụcha ihe dịrị ọlaọcha, oke ọkụ dịkwara ọlaedo
ma ONYENWE ANYỊ na-anwale obi.

4 Ajọ mmadụ na-aṅa ntị n’egbugbere ọnụ na-eduhie,
onye ụgha na-aṅakwa ntị nye ire na-ekwu okwu ịla n’iyi.

5 Onye ọbụla na-akwa ogbenye emo ọ bụ Chineke kere ha ka ọ na-eleli anya.
Ndị niile na-aṅụrị ọṅụ n’ihi ihe ike dakwasịrị ha aghaghị ịta ahụhụ.

6 Ụmụ ụmụ bụ okpueze ndị okenye.
Nne na nna bụ ịnya isi nke ụmụ ha.

7 Egbugbere ọnụ na-ekwu okwu dị mma abụghị nke onye nzuzu,
otu a kwa, egbugbere ọnụ na-agha ụgha ekwesighị ịbụ nke onye na-achị achị.

8 N’anya onye na-enye ngarị ọ na-ahụta ya dịka ọgwụ ịrata mmadụ,
ha na-eche n’ebe ọbụla ha chere ihu ihe ga-aga nke ọma.

9 Onye ọbụla na-akwado ịhụnanya na-ekpuchi njehie,
ma onye na-ekwu ihe mere mgbe na mgbe na-ekewa ezi enyi.

10 Ịba mba ntakịrị a baara onye nwere nghọta bara uru
karịa narị ụtarị nke a pịara onye nzuzu.

11 Onye ọjọọ na-ebi naanị ndụ nnupu isi* megide Chineke.
Ọ bụkwa onyeozi nke ọnwụ† ka a ga-eziga imegide ya.

12 Ọ ka mma izute nne Bịa a napụrụ ụmụ ya
karịa izute onye nzuzu uche ya gbagọrọ agbagọ.

13 Ọ bụrụ na i jiri ihe ọjọọ kwụọ ụgwọ ihe ọma,
ọbụbụ ọnụ dịrị ezinaụlọ gị.

14 Esemokwu malite ọ na-esi ike imedo ya,
n’ihi ya ekwela ka ọ malite.

15 Onye na-asị onye ikpe maara na ikpe amaghị ya na-amakwa onye aka ya dị ọcha ikpe,
ONYENWE ANYỊ na-akpọ omume abụọ a asị.

16 Uru gịnị ka ego bara n’aka onye nzuzu;
ebe ọ bụ na o nweghị ike ịchọ amamihe.

17 Ezi enyi na-egosi ịhụnanya ya n’oge ọbụla.
Otu a kwa, nwanne na-aba uru n’oge mkpa.

18 Ọ bụ uche ezughị oke ịnara ụgwọ onye ọzọ ji,
si otu a ghọọ onye ji ụgwọ.

19 Onye na-ahụ esemokwu n’anya hụrụ mmehie n’anya.
Onye na-ewuli ọnụ ụzọ ama ya elu na-akpọ ntipịa oku.

20 Ọ dịghị aga n’ihu bụ onye obi ya gbagọrọ agbagọ.
Onye nwere ire nrafu ga-adanye na nsogbu.

21 Ọ bụ naanị iru ụjụ na obi ọjọọ
dịịrị nna nke nwa ya na-eme ihe nzuzu.

22 Obi nke na-aṅụrị ọṅụ na-eme ka ahụ sie ike,
ma mmụọ na-eru ụjụ oge niile na-akpata ọrịa.

* **17:11** 17:11 Ya bụ, omume megidere iwu ya † **17:11** 17:11 Ya bụ, onyeozi na-adịghị eme obi ebere.

23 Onye ajọ omume na-anara ihe ngarị‡ na nzuzo
ka ọ sụgharịa ikpe ziri ezi isi.

24 Onye nwere nghọta na-eche uche amamihe n’ihe ọ na-eme,
ma anya onye nzuzu na-elegharị ruo na nsọtụ nke ụwa.

25 Nwa dị nzuzu na-ewetara nna ya mwute,
bụrụkwa nne mụrụ ya ihe ilu.

26 Ọ bụrụ na ịra onye ezi omume nra adịghị mma,
n’ezie, ịpịa ndị ọrụ ihe n’ihi ezi ọrụ ha ezighị ezi.

27 Nwoke ahụ na-adịghị ekwu ọtụtụ okwu bụ onye maara ihe,
onye mmụọ ya dịkwa jụụ bụ onye nwere nghọta.

28 A ga-agụ onye nzuzu n’onye maara ihe ma ọ bụrụ na ha gba nkịtị,
gụọkwa ha na ndị nwere nghọta ma ọ bụrụ na ha e jide ire ha.

# 18

1 Onye ihe mmadụ na-adịghị amasị na-agbaso naanị ọchịchọ nke ya onwe ya,
na-alụsokwa ezi nzube niile ọzọ ọgụ.

2 Nghọta adịghị atọ onye nzuzu ụtọ.
Naanị ihe ọ maara bụ ikwu uche ya.

3 Mgbe onye ajọ omume na-abata, ka nleda anya na-abata,
otu a kwa nkọcha na-eweta ihere.

4 Okwu ọnụ niile bụ mmiri dị omimi,
ma amamihe dị ka mmiri iyi na-asọ asọ.

5 Ọ dịghị mma ime ka ikpe gara onye mere ihe ọjọọ,
si otu a gbochie onye aka ya dị ọcha inweta ikpe ziri ezi.

6 Egbugbere ọnụ ndị nzuzu na-ebutere ha esemokwu,
ọnụ ha na-ebutere ha ihe otiti.

7 Ọnụ onye nzuzu na-etinye ya na nsogbu,
egbugbere ọnụ ya bụ ọnya nye mkpụrụobi ya.

8 Okwu niile nke onye na-agba asịrị na-ekwu dịka iberibe nri n’atọ ezi ụtọ,
ha na-agbadakwa n’ime ime ala afọ.

9 Onye dị umengwụ n’ọrụ ya
bụ nwanne nke onye mbibi.

10 Aha ONYENWE ANYỊ bụ ụlọ elu e wusiri ike,
ndị ezi omume na-agbaba n’ime ya izere ndụ.

‡ **17:23** 17:23 Ọpụ 23:8

11 Akụ ndị ọgaranya bụrụ ha obodo e wusiri ike,
ọ bụkwa mgbidi dị elu nke a na-apụghị ịmafe n’echiche ha.

12 Tupu mmadụ adaa obi ya na-ejupụta na nganga,
ma inwe obi umeala na-eweta nsọpụrụ.

13 Inye ọsịsa okwu tupu mmadụ ege ntị
bụ enweghị uche na ihe ihere.

14 Ọ bụ mmụọ mmadụ na-akwado ya n’oge nrịa nrịa,
ma mmụọ e tipịara etipịa, onye pụrụ ibuli ya?

15 Obi onye nwere nghọta na-enweta ihe ọmụma,
n’ihi na ntị onye maara ihe na-achọpụta ya.

16 Onyinye mmadụ na-akwara ya ụzọ sara mbara,
ọ na-edubakwa ya n’ihu ndị dị elu.

17 N’ikpe onye buru ụzọ kwuo ihe na-ese na-adị ka onye ikpe gaara,
tutu ruo mgbe mmadụ bịara bido ịjụ ya ajụjụ.

18 Ife nza na-akwụsị esemokwu na ndọrọndọrọ
dị n’etiti mmadụ abụọ ndị olu ha na-ala elu.

19 Ọ dị mfe ịlụgbụ obodo karịa ime ka obi nwanne e mehiere tụgharịa.
Iwe ya na-adị ike dịka ọnụ ụzọ e jiri igodo tụchie.

20 Site na mkpụrụ nke okwu ọnụ mmadụ mịpụtara ka afọ ga-eji ju ya.
Sitekwa n’ihe owuwe ubi nke egbugbere ọnụ ha ka ha ga-eji rijuo afọ.

21 Ike ọnwụ na ndụ dị ire n’aka.
Ndị hụrụ ya n’anya ga-eri mkpụrụ ya.

22 Nwoke ahụ chọtara nwunye chọtara ezi ihe.
Ọ na-anatakwa ihuọma site n’aka Onyenwe anyị.

23 Onye ogbenye na-arịọ arịrịọ maka ebere;
ma ọgaranya na-asa okwu ike ike.

24 Onye nwere ọtụtụ ndị enyi ndị na-ekwesighị ga-abịa n’ịla n’iyi mgbe na-adịghị anya,
ma ọ dị enyi nke na-arapara nso karịa nwanne.

# 19

1 Ọ ka mma ịbụ ogbenye onye kwesiri ntụkwasị obi
karịa ịbụ onye nzuzu na-ekwu okwu ụgha mgbe niile.

2 Arịrịọ nke na-enweghị ihe ọmụma adịghị mma
otu a kwa onye ụkwụ ya na-eme ngwa na-ejehie ụzọ.

3 Enweghị uche nke mmadụ na-eduba ha n’ọghọm,
ma obi ha na-ewe iwe dị ukwuu megide ONYENWE ANYỊ.

4 Onye nwere ego na-enwe ọtụtụ ndị enyi,
ma ọ na-ara ahụ ka ndị enyi onye ogbenye nọgide.

5 Onye na-agba ama ụgha ga-ata ahụhụ,
ụzọ onye na-ekupụ ụgha dịka ume ka a ga-achọpụtakwa.

6 Ọtụtụ mmadụ na-achọ ihuọma n’ebe onye na-achị achị nọ,
otu a kwa, mmadụ niile na-agbalị ịbụ enyi onye na-agbasa aka ya na-enye onyinye.

7 Ebe ọ bụ na ụmụnne onye ogbenye na-akpọ ya asị,
gịnịkwa ka ndị enyi ya ga-eme?
Mgbalị ya niile ịrịọ ha arịrịọ
ezughị ime ka ha nọgide.

8 Onye na-enweta amamihe hụrụ ndụ n’anya,
onye na-edebekwa nghọta na-enweta ọganihu.

9 Onyeama ụgha aghaghị ịta ahụhụ,
onye ọbụla na-ekwupụ okwu ụgha dịka mmiri ga-ala n’iyi.

10 Onye nzuzu ekwesighị ibi dịka ọgaranya;
ohu ekwesịkwaghị ịchị ụmụ eze.

11 Ezi uche mmadụ nwere na-amụpụta ndidi;
ọ bụkwa nkwanye ugwu nye onye n’adịghị agụ mkparị a na-akparị ya.

12 Iwe eze dị ka mbigbọ nke ọdụm.
Ma obi ụtọ ya dị ka igirigi n’elu ahịhịa ndụ.

13 Nwa nzuzu bụ ịla n’iyi nke nna,
nwunye na-ese okwu dị ka mmiri ọtụtụ na-atụ kpọm, kpọm,
mgbe niile n’elu ụlọ puru epu.

14 Ụlọ dị iche iche na akụ bụ ihe nketa a na-anata n’aka ndị nne na nna,
ma nwunye nwere uche na nghọta na-esite naanị n’aka ONYENWE ANYỊ.

15 Umengwụ na-akpata oke ịrahụ ụra,
onye ọfọ ogori ka agụụ na-agụ.

16 Onye na-edebe iwu Chineke na-enweta ndụ,
ma onye na-akpọ ya asị na-anwụ.

17 Onye ọbụla na-egosi ndị ogbenye obi ebere na-ebinye ONYENWE ANYỊ ihe,
ọ ga-akwụghachi ha n’ihi ihe ọma ha mere.

18 Dọọ nwa gị aka na ntị mgbe ọ ka dị na nwantakịrị n’ihi na oge ahụ ka olileanya dị.
Ma i meghị otu a, ọ bụ ndụ ya ka ị na-emebi.

19 Onye oke iwe ga-anata nra so ya,
n’ihi na ọ bụrụ na ị napụta ya, ị ga-anapụtakwa ya ọzọ.

20 Gee ntị na ndụmọdụ a na-enye gị, nabata ịdọ aka na ntị.
N’ikpeazụ, ị ga-abụ onye maara ihe.

21 Ọtụtụ atụmatụ dị n’obi mmadụ;
maọbụ uche ONYENWE ANYỊ ga-emezu.

22 Obi ebere mmadụ na-eme ka a na-achọsi ya ike.
Ọ ka mma ịbụ ogbenye karịa ịbụ mmadụ nke eziokwu ọbụla na-adịghị n’ọnụ ya.

23 Ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ na-eweta ndụ na ọṅụ,
na nchebe site n’ihe mmerụ ahụ.

24 Onye umengwụ na-amanye aka n’efere nri,
ọ gaghị eweghachi ya ọ bụladị tinye n’ọnụ ya.

25 Tie onye na-akwa emo ihe, onye na-enweghị uche ga-aghọ onye nwere ezi uche,
baara onye nwere nghọta mba, ha ga-enweta ihe ọmụma.

26 Ọ bụ nwa ahụ na-eweta ihere ga-ezu nne na nna ya ohi,
maọbụ chụpụ ha site n’ụlọ ya.

27 Nwa m ọ bụrụ na ị hapụ ige ntị na ntụziaka m,
ị ga-esi n’okwu ihe ọmụma kpafuo.

28 Onyeama ụgha na-akwa ikpe ziri ezi emo.
Ọnụ nke onye ajọ omume na-eloda ajọ ihe.

29 Ndị na-akwa emo na ndị nzuzu ga-ata ahụhụ;
a ga-etikwa ha ihe.

# 20

1 Mmanya bụ onye na-akwa emo. Onye mkpọtụ ka ihe ọṅụṅụ na-aba n’anya bụ.
Onye ọbụla kwere ka ha duhie ya bụ onye nzuzu.

2 Ọnụma eze na-emenye oke ụjọ n’ahụ dịka mbigbọ nke ọdụm;
ndị na-akpasu ya iwe ga-atụfu ndụ ha.

3 Ọ bụ ihe nsọpụrụ nye onye na-ezere okwu na ụka,
ma onye nzuzu ọbụla na-eme ngwa ise okwu.

4 Onye umengwụ adịghị arụ ọrụ ubi n’oge ya.
N’oge owuwe ihe ubi ọ pụghị ịchọta ihe oriri.

5 Nzube niile nke dị mmadụ n’obi bụ mmiri dị omimi,
ma onye nwere nghọta na-adọpụta ha.

6 Ọtụtụ mmadụ na-asị na ha nwere ịhụnanya na-adịghị agharịpụ,

ma onye kwesiri ntụkwasị obi, onye pụrụ ịchọta ya?

7 Onye ezi omume nke na-ejegharị n’izuoke,
ndị ihe na-agara nke ọma ka ụmụ ga-anọchi ya ga-abụ.

8 Mgbe eze na-anọkwasị n’ocheeze ya ikpe ikpe,
ọ na-eji anya ya abụọ afụchapụ ihe ọjọọ niile.

9 Onye pụrụ ị sị, “Emeela m ka obi m dị ọcha;
Abụ m onye dị ọcha, mmehie adịghịkwa n’ime m?”

10 Ihe ọtụtụ aghụghọ na ihe ọtụtụ nghọgbu,
ha niile bụ ihe arụ n’ihu ONYENWE ANYỊ.

11 Ọbụladị ụmụntakịrị ka a na-amata site n’omume ha niile,
nke a ọ pụtara n’omume ha dị ọcha n’ezie a, bụrụkwa ihe ziri ezi?

12 Ntị nke na-anụ ihe na anya nke na-ahụ ụzọ,
ọ bụ ONYENWE ANYỊ mere ha abụọ.

13 Ahụla ịrahụ ụra n’anya, ka ị ghara ịghọ onye ụkpa.
Bilie, mụrụ anya, rụsie ọrụ ike, ka i nweekwa ihe oriri.

14 “Lee, ihe a jọrọ njọ, ọ baghị uru,” ka onye na-azụ ahịa na-asị,
ma mgbe ọ pụrụ ọ na-anya isi n’ihi ihe ọ zụtara.

15 Ọlaedo dị, na ọtụtụ rubi n’ebe ọ bara ụba,
ma egbugbere ọnụ nke na-ekwupụta ihe ọmụma bụ ọla dị oke ọnụahịa.

16 Chiri uwe onye ahụ naara onye mba ọzọ n’aka mbe.
Jichiekwa ihe mbe ahụ o nyere n’ihi onye mba ọzọ ọ nara na mbe.

17 Nri e nwetara n’ụzọ aghụghọ na-atọ mmadụ ụtọ.
Ma n’ikpeazụ aja ga-eju ya ọnụ.

18 Buru ụzọ nata ndụmọdụ tupu i mee ihe ọbụla ị chọrọ ime;
ebula agha ma i bubeghị ụzọ pịa ọpịpịa.

19 Agwala onye na-akpa asịrị ihe nzuzo gị,
n’ihi na ọ ga-akụ ya n’ekwe nye ụwa niile.

20 Oriọna onye ahụ na-akọcha nne ya na nna ya
ka Chineke na-afụnyụ.

21 Ihe nketa nke anatara n’oke ọsịịsọ,
agaghị agọzi ya n’ikpeazụ.

22 A sịkwala, “Aga m akwụghachi gị n’ihi ihe ọjọọ a.”
Chere ONYENWE ANYỊ, ọ ga-abọrọ gị ọbọ.

23 ONYENWE ANYỊ kpọrọ ihe ọtụtụ gbara iche iche asị,

ihe ọtụtụ aghụghọ adịghị atọ ya ụtọ.

24 ONYENWE ANYỊ na-eduzi nzọ ụkwụ niile nke mmadụ.
Olee otu onye ọbụla ga-esi ghọta ụzọ ha?

25 Ime ngwangwa* doo ihe nsọ, bụ ịma n'ọnya
ma mesie tụgharịwa uche banyere imezu nkwa ahụ.

26 Eze maara ihe na-afụchapụ ndị ajọ omume,
ọ na-eji wịịlu ịfụcha mkpụrụ gaa n'elu ha.

27 Akọnuche mmadụ bụ ọkụ ONYENWE ANYỊ ji enyocha mmụọ ya,
ọ na-egwupụta ala ala obi ya, igosi anyị ihe anyị bụ.

28 Ịhụnanya na ikwesi ntụkwasị obi na-echebe eze,
site n'ịhụnanya ka ocheeze ya na-eguzo chịm.

29 Ugwu a na-akwanyere ụmụ okorobịa bụ n'ihi ịdị ike ha,
ma isi awọ bụ nsọpụrụ ndị okenye.

30 Ọkpọ na mmerụ ahụ na-ehichapụ ihe ọjọọ,
ụtarị na-asachapụ ime ime nke ahụ mmadụ.

# 21

1 Iyi dị iche iche nke jupụtara na mmiri ka obi eze bụ n'aka ONYENWE ANYỊ,
nke ọ na-ahazi n'ụzọ ọbụla dị ya mma.

2 Ọrụ niile bụ ihe ziri ezi n'anya onye na-arụ ya,
ma ONYENWE ANYỊ bụ onye na-eleba anya n'echiche obi anyị niile.

3 Ime ezi omume na ihe ziri ezi
ka ONYENWE ANYỊ na-anabata karịa ịchụ aja.

4 Nganga na mpako na agụụ ihe ọjọọ
nke bụ ọrụ ndị ajọ omume, bụ mmehie.

5 Echiche niile nke onye na-arụsị ọrụ ike na-eweta uru,
dịka echiche onye ome ngwangwa na-enweta naanị ụkọ.

6 Uru niile enwetara n'ụzọ na-ezighị ezi adịghị adịgide,
ha bụ nkuume ifufe na-efesa, ndị na-achọ ya na-achọ ọnwụ.

7 N'ihi na ndị na-emebi iwu anaghị eme ihe ọma,
ihe ọjọọ ha na-eme na-alaghachi laa ha n'iyi.

8 Ụzọ onye na-emebi iwu bụ ihe gbagọrọ agbagọ,
ma omume onye aka ya dị ọcha ziri ezi.

9 Ọ ka mma ibi n'otu akụkụ elu ụlọ

* **20:25** 20:25 Ya bụ mgbe mmadụ na-echeghị uche mee nke a.

kariạ ibinyere nwanyị na-ese okwu.

10 Ihe na-atọ onye ọjọọ ụtọ bụ imerụ ndị ọzọ ahụ;
ọ maghị imere mmadụ ibe ya ebere.

11 Mgbe a na-ata onye na-akwa emo ahụhụ, onye na-enweghị uche na-enweta amamihe,
ma mgbe a na-akụziri onye maara ihe ihe ọ na-enweta ihe ọmụma.

12 Onye ezi omume na-amụta ihe site n'ile ụlọ onye ajọ omume anya
na-emekwa ka ndị ajọ omume laa n'iyi.

13 Onye na-adịghị ege ntị na mkpu onye ogbenye,
ya onwe ya ga-akpọkwa mkpu ma agaghị aza ya.

14 Onyinye enyere na nzuzo na-eme ka iwe dajụọ,
otu a kwa, ngarị ezonyere n'ime uwe na-eme ka oke ọnụma dajụọ.

15 Onye ezi omume na-aṅụrị ọṅụ mgbe e kpere ikpe ziri ezi,
ma bụrụ ihe oke egwu dịrị ndị na-eme ajọ ihe.

16 Onye ọbụla si n'ụzọ nghọta wezuga onwe ya
ga-eso n'otu ndị nwụrụ anwụ.

17 Nwoke hụrụ ibi ndụ nganga n'anya na-ada ụkpa;
ịṅụ mmanya na oke oriri abụghị ụzọ esi akpata akụ.

18 Onye ajọ omume ga-abụ ihe mgbapụta maka onye ezi omume,
onye aghụghọ ga-abụkwa ihe mgbapụta maka onye ndụ ya ziri ezi.

19 Ọ ka mma ibi n'ọzara
kariạ ibinyere nwanyị na-atamu ntamu na-esekwa okwu.

20 Onye maara ihe na-edebe ezi ihe oriri na mmanụ oliv n'ụlọ ya,
ma onye nzuzu na-eloda ihe niile n'ọnụ ya.

21 Onye na-achụso ezi omume na ịhụnanya
ga-achọta ndụ, na ugwu na ọganihu.

22 Onye maara ihe nwere ike megide obodo ndị dike,
kwatuokwa ebe ewusiri ike nke ha tụkwasịrị obi ha.

23 Onye na-echekwa ire ya na ọnụ ya
na-egbochiri onwe ya ọdachi.

24 Onye nganga na onye mpako, onye na-akwa emo bụ aha ya.
Ọ na-eji oke nganga eme ihe niile.

25 Oke ọchịchọ nke onye umengwụ na-ewetara ya ọnwụ
n'ihi na ọ jụrụ ịrụ ọrụ.
26 Kwa ụbọchị ka ọ na-achọ inwe kariạ,

ma onye ezi omume na-enye na-akpaghị oke.

27 Chineke kpọrọ aja ndị na-emebi iwu asị,
nke ka nke, ma ọ bụrụ na ha na-enye onyinye a site na nzube ọjọọ.

28 Onyeama ụgha ga-ala n’iyi,
ma onye ọbụla na-ege ya ntị ka a ga-ebibi ruo ebighị ebi.

29 Ndị ajọ omume na-ebi ndụ atụghị egwu,
ma ndị omume ha ziri ezi na-atụgharị uche n’ụzọ ha niile.

30 O nweghị amamihe dị, o nweghị nghọta dị, o nwekwaghị atụmatụ ọbụla,
nke pụrụ iguzosi ike megide Onyenwe anyị.

31 E nwere ike jikere ịnyịnya, kwadokwaa maka agha,
maọbụ naanị Onyenwe anyị na-enye mmeri.

## 22

1 Ihe nhọrọ dị ezi mma ka aha ọma bụ karịa ọtụtụ akụ,
ịnata amara* ihuọma ka mma karịa ọlaọcha na ọlaedo.

2 Ma ogbenye ma ọgaranya bụ otu n’ihu Onyenwe anyị
onye kere ha niile.

3 Onye nwere uche na-ahụ nsogbu nke na-abịa n’ihu ma zobe onwe ya,
ma onye na-enweghị uche anaghị ele anya, ọ na-adaba n’ime nsogbu ahụ taa ahụhụ so ya.

4 Obi umeala bụ egwu Onyenwe anyị,
ụgwọ ọ na-akwụ bụ akụnụba, na nsọpụrụ na ndụ ogologo.

5 Ogwu na igbudu dị n’ụzọ onye na-emebi iwu;
ma onye kpọrọ ndụ ya ihe na-asọ ya asọ.

6 Kuziere nwantakịrị ka ọ họrọ ụzọ ziri ezi,†
mgbe o tolitere ọ ga-anọgide n’ime ya.

7 Dịka ọgaranya si achị ogbenye,
otu a kwa ka onye na-ebi ego si bụrụ ohu onye na-ebinye ya ego.

8 Onye na-agha ikpe na-ezighị ezi dịka mkpụrụ, ga-ewe ajọ ihe dịka ihe ubi,
mkpanaka nke ikike iwe ha ga-agbajikwa.

9 Onye na-agbasapụ aka enye onyinye ga-abụ onye a gọziri agọzi,
n’ihi na ha na ekenyetụ ndị ogbenye nri.

10 Chụpụ onye na-akwa emo, ise okwu ga-akwụsị,
e, ịlụ ọgụ na nlelị ga-akwụsịkwa.

* **22:1** 22:1 Maọbụ, mmadụ inwe ugwu † **22:6** 22:6 Efe 6:4; 2Tm 3:15

11 Onye na-ahụ ịdị ọcha nke obi n’anya,
onye okwu ya jupụtara n’amara ga-abụ enyi eze.

12 Anya ONYENWE ANYỊ na-echebe ihe ọmụma,
ma ọ na-emebi atụmatụ niile nke ndị aghụghọ.

13 Onye umengwụ na-asị, “Ọdụm nọ n’ezi!
A ga-egbu m n’ama ọha mmadụ!”

14 Ọnụ nwanyị na-akwa iko bụ oke olulu,
nwoke nọ n’okpuru oke iwe ONYENWE ANYỊ na-adaba n’ime ya.

15 Obi ụmụntakịrị jupụtara n’enweghị uche,
ma apịpịa ịdọ aka na ntị ga-achụpụ ya n’ebe dị anya.

16 Onye na-achọ uru site n’imegbu onye na-enweghị ike,
maọbụ onye na-enye ọgaranya onyinye ga-ebi n’oke ụkọ.

## Okwu iri atọ onye maara ihe

*Okwu nke mbụ*

17 Lezie anya gee ntị n’okwu niile nke ndị maara ihe,
tinye uche gị n’ihe m na-akụzi.
18 Ọ dị ụtọ ma idebe ha n’obi gị,
ma ha dịkwa n’egbugbere ọnụ gị mgbe niile.
19 Ọ bụ ka ntụkwasị obi gị dị n’ime ONYENWE ANYỊ,
ya ka m na-akụziri gị taa, ọbụladị gị onwe gị.
20 Ọ bụ na m edepụtabereghị gị iri ndụmọdụ atọ ndị a,
bụ okwu ndụmọdụ na ihe ọmụma?
21 Ha na-ezi gị ihe bụ ikwesi ntụkwasị obi na ikwu eziokwu.
Mgbe ahụ ọ bụrụ na-ezie gị sị gị gaa chọta eziokwu
ị ga-eji ezi ọsịsa lọghachi.

*Okwu nke abụọ*

22 Emegbula ogbenye n’ihi na ọ bụ ogbenye.
Emegidekwala ya n’ụzọ ikpe.
23 N’ihi na ONYENWE ANYỊ ga-ekwuchitere ha ọnụ ha
ma bibiekwa ndị na-emegide ha.

*Okwu nke atọ*

24 Gị na onye na-ewe oke iwe abụla enyi,
gị na onye na-ewe iwe ọsịịsọ emekọkwala ihe,
25 ma ọ bụghị ya, i nwere ike ịmụta ndụ ha,
si otu a tinye ndụ gị na nsogbu.

*Okwu nke anọ*

26 Abụla onye otu n’ime ndị na-anara ndị mmadụ akaebe
maọbụ kwee nkwa ikwu ụgwọ onye ọzọ ji.
27 N’ihi na ọ bụrụ na i nweghị ego ị ga-eji kwụọ ụgwọ ahụ,
a ga-anapụ gị ọ bụladị ihe ndina gị.

*Okwu nke ise*

28 Ehigharịla oke ala e tinyere site na mgbe ochie.
Nke ndị nna ochie gị ha hiwere.

*Okwu nke isii*
29 Ị hụrụ mmadụ ahụ nke nwere ǹka n’ịrụ ọrụ ya nke ọma?
Ọ ga-eguzo n’ihu ndị eze,
ọ gaghị eguzo n’ihu ndị a na-amaghị aha ha.

# 23

*Okwu nke asaa*
1 Mgbe gị na onye na-achị achị nọdụrụ irikọ nri,
lezie ihe* dị n’ihu gị anya,
2 tụkwasị mma n’akpịrị gị,
ma ọ bụrụ na ị bụ onye iri oke nri na-atọ ụtọ.
3 Achọsila nri ụtọ ya ike,
n’ihi na nri ahụ bụ nri aghụghọ.

*Okwu nke asatọ*
4 Adọgbula onwe gị n’ọrụ maka ịbụ ọgaranya,
atụkwasịla obi na nghọta gị.†
5 N’ihi na akụ nwere ike ifu
n’otu ntabi anya dịka a ga-asị
na ha nwere nku dịka nnụnụ ugo.

*Okwu nke itoolu*
6 Erila nri onye aka ntagide na-enye gị.
Nri ụtọ ya agụkwala gị agụ.
7 N’ihi na ọ bụ ụdị mmadụ ahụ
na-eche ọnụahịa ihe ọ na-emefuru gị.
Ọ na-asị gị, “Rie ihe, ṅụọkwa ihe ọṅụṅụ,”
ma obi ya adịghị n’ebe ị nọ.
8 Ị ga-agbọkwa nke ntakịrị ahụ i riri
mgbe ahụ, okwu ọma ahụ niile i kwuru banyere ya ga-abụ ihe efu.

*Okwu nke iri*
9 Atụfula ume gị ịgwa onye nzuzu okwu,
n’ihi na ọ ga-eleda okwu i sitere n’ezi uche kwuo anya.

*Okwu nke iri na otu*
10 Anarala nwa na-enweghị nne na nna ala ya
site n’ihigharị oke ala e gwunyere site n’oge gara aga,
11 n’ihi na onye mgbapụta ha dị ike;
ya onwe ya ga-ekwuchitere ha ọnụ ha.

*Okwu nke iri na abụọ*
12 Tinye uche gị n’ịdọ aka na ntị;
gekwaa ntị nụrụ okwu ihe ọmụma niile.

*Okwu nke iri na atọ*
13 Ahapụla ịdọ ụmụ gị aka na ntị.
Ha agaghị anwụ n’ihi na ị tiri ha ihe.
14 Jiri mkpara tie ya ihe
ma zọpụta ndụ ya site n’ọnwụ.

*Okwu nke iri na anọ*
15 Nwa m, aga m aṅụrị ọṅụ nke ukwuu

* **23:1** 23:1 Maọbụ, onye nọ n’ihu gị † **23:4** 23:4 Maọbụ, ịdị nkọ gị

ma ọ bụrụ na ị ghọọ onye maara ihe.
16 Mkpụrụobi m ga-aṅụrị ọṅụ
mgbe egbugbere ọnụ gị abụọ kwuru ihe ziri ezi.

*Okwu nke iri na ise*
17 Ekwela ka obi gị kwosa ndị mmehie ekworo,
kama nọgide n’ịnụ ọkụ n’obi n’ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ mgbe niile,
18 n’ihi na i nwere ọtụtụ ihe ọma n’ihu gị.
Olileanya dị ukwuu dịrị gị.

*Okwu nke iri na isii*
19 Nwa m, nwee uche,
gbasookwa ụzọ Chineke.
20 Anọla n’etiti ndị na-aṅụbiga mmanya oke,
na ndị iri oke oriri na-atọ ụtọ,
21 n’ihi na ihe niile ga-akọ ha.
Ọ bụkwa nkịrịnka akwa ka onye oke ụra na-eyi n’ahụ.

*Okwu nke iri na asaa*
22 Ṅaa ntị n’ịdọ aka na ntị nna gị,
akpọkwala ịdọ aka na ntị nne gị bụ agadi nwanyị asị.
23 Zụta eziokwu, erekwala ya,
zụtakwa amamihe, ntụziaka, na nghọta.
24 Nna onye ezi omume ga-aṅụrị ọṅụ.
Ọ bụkwa ihe oke ọṅụ inweta nwa maara ihe.
25 Ka nne na nna gị nwee obi ụtọ.
Ka onye mụrụ gị ṅụrịa.

*Okwu nke iri na asatọ*
26 Nwa m, nye m obi gị
ka ụzọ m niile nyekwa anya gị ọṅụ.
27 N’ihi na onye akwụna bụ olulu miri emi,
nwanyị nwe di na-akwa iko bụ olulu mmiri dị warawara.
28 Dịka onye ohi ka ọ na-echere
na-emekwa ka ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi baa ụba n’etiti ụmụ nwoke.

*Okwu nke iri na itoolu*
29 Onye ka obi ya jupụtara n’ahụhụ? Onye nọ na iru ụjụ?
Olee onye nwere esemokwu? Onye nwere ọtụtụ ihe mkpesa?
Onye nwere mmerụ ahụ nke na-abaghị uru? Onye nwere anya nke na-acha ọbara ọbara?
30 Ọ bụ ndị na-anọ ogologo oge na-aṅụ mmanya,
onye na-aga ịchọpụta mmanya agwara agwa.
31 Elekwasịla mmanya anya mgbe ọ na-acha ọbara ọbara,
mgbe ọ na-ezipụta ọdịdị ya n’iko
mgbe ọ na-asụgharị nke ọma n’ime iko.
32 N’ikpeazụ, ọ na-ata dịka agwọ
na-atụkwa dịka ajụala.
33 Anya gị abụọ ga-ahụ ihe ị na-amaghị isi ya na ọdụ ya,
obi gị ga-atụlekwa ihe ndị na-agbagwoju anya.
34 Ị ga-adị ka onye na-edina n’etiti oke osimiri,
nke na-edinakwa n’elu ụdọ n’ejide ụgbọ.
35 Ị ga-asị, “Ha tiri m ihe, ma emerụghị m ahụ.

Ha pịara m ihe, ma amaghị m.
Olee mgbe m ga-eteta,
ka m pụọ ga chọọ mmanya ọzọ?”

## 24

*Okwu nke iri abụọ*
1 Ekwosola ndị ajọ omume ekworo,
ka ihe banyere ha ghara ịtọ gị ụtọ.
2 N’ihi na-atụmatụ obi ha niile bụ otu ha ga-esi mee ihe ike,
egbugbere ọnụ ha na-ekwu naanị maka ọgbaaghara.

*Okwu nke iri abụọ na otu*
3 Ọ bụ amamihe ka e ji ewu ụlọ,
ọ bụkwa nghọta ka e ji eme ka o guzosie ike.
4 Sitekwa n’ihe ọmụma ka akụ niile ji ejupụta n’ime ya,
bụ akụ ndị pụrụ iche ma dịkwa oke ọnụahịa.

*Okwu nke iri abụọ na abụọ*
5 Onye maara ihe na-emeri site n’ịdị ike,
ndị nwere ọmụma ihe na-akpali ike ha.
6 Ejela ọgụ ma ọ bụghị na i nwetara ezi ndụmọdụ,
n’ihi na nzọpụta dị n’ige ọtụtụ ndị ndụmọdụ ntị.

*Okwu nke iri abụọ na atọ*
7 Amamihe dị elu nke ukwuu nye ndị nzuzu,
ha gaghị asaghe ọnụ ha n’ọgbakọ ọnụ ụzọ ama.

*Okwu nke iri abụọ na anọ*
8 Onye na-eche echiche ime ihe ọjọọ
ka a ga-agụ dịka onye nzube ihe ọjọọ
9 Nzube niile nke onye na-enweghị uche bụ mmehie,
ndị mmadụ na-akpọ onye na-akwa emo asị.

*Okwu nke iri abụọ na ise*
10 Ọ bụrụ na ị pụghị iguzosi ike n’oge nsogbu,
ị bụ nnọọ onye ike ya dị ntakịrị.
11 Napụta ndị a na-eduba n’ọnwụ.
Napụtakwa ndị ahụ a mara ikpe ọnwụ n’ụzọ na-ezighị ezi.
12 Ọ bụrụ na ị sị, “Anyị amaghị banyere ihe ndị a,”
ọ bụ na onye na-enyocha obi aghọtaghị ya?
Ọ bụ na onye na-eche ndụ gị amaghị ya?
Ọ bụ na ọ gaghị akwụghachi onye ọbụla ụgwọ dịka akaọrụ ya siri dị?

*Okwu nke iri abụọ na isii*
13 Nwa m nwoke, rachaa mmanụ aṅụ n’ihi na ọ dị mma.
Mmanụ aṅụ nke si n’ugbugbo mmanụ aṅụ na-adị gị ụtọ n’ọnụ.
14 Marakwa na otu a ka amamihe kwesiri isi tọọ obi gị ụtọ.
Ọ bụrụ na i chọta ya
i nwere olileanya nke ga-adịgide.

*Okwu nke iri abụọ na asaa*
15 Adịla ka onye na-emebi iwu, onye echiche ya niile bụ imegide ụlọ onye ezi omume.
A gakwala ga kwakọrọ ihe dị n’ụlọ ya.
16 N’ihi na onye ezi omume nwere ike daa ugboro asaa ma o ga-ebilikwa ọzọ.

Ma ndị na-emebi iwu na-asọ ngọngọ mgbe nsogbu bịakwasịrị ha.

*Okwu nke iri abụọ na asatọ*

17 Aṅụrịla ọṅụ mgbe onye iro gị dabara na nsogbu.
Ka obi gharakwa ịtọ gị ụtọ mgbe ọ dara.
18 N'ihi na ONYENWE ANYỊ pụrụ iwe iwe n'ihi ya
megide gị ma kwụsị ịta ya ahụhụ.

*Okwu nke iri abụọ na itoolu*

19 Ekwosola onye na-emebi iwu ekworo,
maọbụ nwe anya ukwu n'ebe onye ajọ omume nọọ.
20 N'ihi na onye na-emebi iwu enweghị ọdịnihu;
a ga-afụnyụkwa ọkụ onye ajọ omume.

*Okwu nke iri atọ*

21 Nwa m, tụọ egwu ONYENWE ANYỊ na onye bụ eze,
esonyerela ndị ozi na-enupu isi megide nna ha ukwu.
22 N'ihi na ọ bụ na mberede ka ị ga-eso ha daba na nhụju anya.
Onye maara ihe ga-abụ ọgwụgwụ ya?

## Okwu ọzọ ndị amamihe kwuru

23 Ndị a bụkwa okwu ọzọ ndị amamihe kwuru,
iji gosi na ikpe ikpe na-akwụghị ọtọ adịghị mma.
24 Onye ọbụla nke na-asị onye ikpe mara, "Onye ezi omume ka ị bụ,"*
ga-anata ọbụbụ ọnụ site n'ọnụ ọtụtụ mmadụ, mba niile ga-eweso ya iwe.
25 Ma ọ ga-adịrị ndị ahụ na-abara onye ikpe mara mba na mma,
ha ga-anatakwa ezi ngọzị.

26 Ọsịsa ziri ezi
bụ ihe na-egosi ikwesi ntụkwasị obi.†

27 Rụchaa ọrụ gị dị n'ezi.
Dozie ala ubi gị.
Emesịa wuoro onwe gị ụlọ.

28 Agbala ama ụgha megide onye agbataobi gị n'efu.
Ọ bụ egbugbere ọnụ gị abụọ ka ị ga-eji ghọọ aghụghọ?‡
29 Asịla, "Aga m emeso ha dịka ha siri meso m.
Aga m akwụghachi ha ụgwọ ihe ha mere."

30 Esitere m n'ubi otu onye umengwụ gafee,
bụ ubi vaịnị nke onye na-enweghị uche,
31 hụ na ogwu etochiela ya,
ahịhịa etochiekwala ya;
mgbidi dị ya gburugburu adaakwala.
32 Elegharịrị m ya anya
site na ya mụta otu ihe a:
33 Nwa ụra nta, nwa iru ụra nta,
nwa ịchịkọba aka nta zuo ike
34 ụbịam ga-abịakwasị gị dịka onye ohi,

* **24:24** 24:24 Onye ọbụla nke na-asị onye na-emebi iwu, onye ikpe na-amaghị ka ị bụ † **24:26** 24:26 Dịka nsusu e susuru n'egbugbere ọnụ ‡ **24:28** 24:28 Maọbụ, rafuo mmadụ

ụkọ abịakwasịkwa gị dịka onye na-apụnara mmadụ ihe.

## Ilu ndị ọzọ nke Solomọn

# 25

1 Ndị a bụkwa ilu Solomọn, nke ndị ozi Hezekaya eze ndị Juda dekọtara n'akwụkwọ.

2 Ọ bụ nsọpụrụ Chineke izobe okwu,
ma nsọpụrụ ndị eze bụ ịchọpụta ala okwu.
3 Dịka ịdị elu nke eluigwe, dịka ịdị omimi nke ala,
otu a ka obi ndị eze bụ ihe a na-apụghị ịchọpụta.

4 Wepụ ihe ahụ niile na-ekpuchi mma ọlaọcha,
onye ọkpụ ụzụ ọla ga-arụpụta efere;
5 wezugakwa ndịisi n'eme ajọ ihe n'ihu eze,
ocheeze ya ga-eguzosikwa ike site n'ezi omume.

6 Egosipụtala onwe gị n'ihu eze,
ewerela ọnọdụ n'etiti ndị oke mmadụ,
7 ọ ga-aka mma ma ọ bụrụ na ọ si gị, "Rigota n'ebe a,"
karịa na o wedara gị ala n'ihu ndị oke mmadụ.

Ihe iji anya gị abụọ hụ
8 e mekwala ngwangwa ịga n'ụlọikpe,
n'ihi na ọ bụ gịnị ka ị ga-eme n'ikpeazụ
ma ọ bụrụ n'onye agbataobi gị etinye gị n'ọnọdụ ihere?

9 Ọ bụrụ na gị na onye ọzọ enwee esemokwu, dozienụ ya n'onwe unu,
emekwala ka ndị ọzọ mata okwu nzuzo gị na onye ọzọ kwuru,
10 ma ọ bụghị ya, onye nụrụ ya nwere ike menye gị ihere,
agwa ọjọọ gị agaghị enwekwa ọgwụgwụ.

11 Ndụmọdụ e nyere n'oge kwesiri ekwesi
dị ka mkpụrụ osisi apụl ọlaedo e tinyere n'efere ọlaọcha.
12 Dịka ọlantị ọlaedo maọbụ ihe ịchọ mma nke ọlaedo mara mma
ka mba onye maara ihe bụ na ntị onye na-anụ ya.

13 Onyeozi kwesiri ntụkwasị obi na-eweta ntute na ndụ,
dịka mmiri oyi si eme ka ahụ dị jụụ
n'oge okpomọkụ owuwe ihe ubi.
14 Onye ahụ na-adịghị emezu nkwa o kwere
dịka igwe ojii nke na-adịghị ezo mmiri.

15 Nwee ndidi, n'ikpeazụ ị ga-enwe mmeri,
n'ihi na ire dị nro na-agbaji ọkpụkpụ.

16 Mmanụ aṅụ ọ na-atọ gị ụtọ?
Arachala ya karịa, ka ọ ghara iwetara gị ọrịa.
17 Ejela ileta onye agbataobi gị mgbe mgbe,
ka ị ghara ire ugwu gị.

18 Onye na-agbagịde onye agbataobi ya ama ụgha,
dịka mkpọrọ osisi maọbụ mma agha, maọbụ àkụ a pịziri apịzi.*
19 Ịtụkwasị onye aghụghọ obi n’oge nsogbu dị ka iji eze na-eme ndakapụ ata ihe,
maọbụ iji ụkwụ jiri eji agba ọsọ.
20 Dịka onye e yipụrụ uwe n’ụbọchị oyi ụgụrụ,
maọbụ iwere nnu tee n’elu ọnya,
otu a ka onye na-abụrụ onye iwe na-ewe abụ dị.

21 Ọ bụrụ na agụụ na-agụ onye iro gị, nye ya nri ka o rie,
ọ bụrụkwa na akpịrị na-akpọ ya nkụ, nye ya mmiri ka ọ ṅụọ.†
22 Mgbe ị na-eme nke a, ị na-agụkwasị icheku ọkụ na-ere ere n’isi ya,
Onyenwe anyị ga-akwụghachikwa gị.

23 Dịka ifufe si n’ugwu si eweta mmiri ozuzo,
otu a ka ikwu mmadụ okwu azụ si eweta iwe.

24 Ọ ka mma ibi n’otu akụkụ elu ụlọ
karịa ibinyere nwanyị na-ese okwu.

25 Oziọma e sitere na mba dị anya nata
dị ka mmiri jụrụ oyi nye onye akpịrị na-akpọ nkụ.
26 Onye ezi omume nke kwenyere n’ihe onye na-emebi iwu kwuru
dị ka iyi a gwọrụrụ n’isi ya.

27 Dịka ịracha mmanụ aṅụ hie nne si jọọ njọ,
otu a ka o si bụrụ ihe na-enweghị nsọpụrụ, mmadụ ịchọpụta ihe ndị ezomiri ezomi.

28 Nwoke ọbụla na-adịghị achị mmụọ ya
dị ka obodo na-enweghị ndị na-eche ya nche, nke e tikpọrọ mgbidi ya etikpọ.

# 26

1 Ịhụ onye nzuzu a na-enye nsọpụrụ
dịka ịhụ mkpụrụ mmiri ka ọ na-ada n’oge ọkọchị maọbụ mmiri na-ezo n’oge owuwe ihe ubi.
2 Dịka nnụnụ nta na-efeghari efeghari, maọbụ dịka eleke na-awụghari
otu a ka ọbụbụ ọnụ na-ekwesighị agaghị ere.
3 Ụtarị dịrị ịnyịnya, ịnyịnya ibu ka a na-ekenye mkpụmkpụ igwe n’ọnụ;
otu a kwa ka apịpịa dị nye azụ ndị nzuzu.
4 A zaghachila onye nzuzu dịka enweghị uche ya si dị,
ma ọ bụghị ya gị onwe gị ga-adị ka ya.
5 Zaa onye nzuzu dịka enweghị uche ya si dị,
ma ọ bụghị ya ọ ga-abụ onye maara ihe n’anya onwe ya.
6 Iziga ozi site n’aka onye nzuzu
dịka mmadụ ibipụ ụkwụ ya maọbụ iṅụ ihe ike dịka mmiri.
7 Dịka onye ngwụrọ si eji ụkwụ ya eje ije,
otu a ka ilu si esite n’ọnụ onye nzuzu apụta.
8 Ọ baghị uru inye onye nzuzu nsọpụrụ, n’ihi na ọ gaghị anọgide.
Ọ dị ka ịwụ ọkụkọ mmiri n’azụ.

* 25:18 25:18 Ya bụ, nke dị nkọ † 25:21 25:21 Ọpụ 23:4-5; 2Ih 28:15; Mat 5:44

9 Dịka ogwu manyere n’aka onye na-aṅụbiga mmanya oke
otu a ka ilu dị n’ọnụ onye nzuzu.
10 Dịka ọgba ụta si agba ụta ya na-enweghị onye o bụ n’obi,
otu a ka ọ dị bụ onye na-enye onye nzuzu maọbụ onye o bụla na-agafe n’ụzọ ọrụ
ka o rụọra ya.
11 Dịka nkịta laghachiri ọzọ n’ihe ọ gbọrọ,
otu a ka ndị nzuzu dị mgbe ha na-emekwa omume enweghị uche ha.
12 Ị hụrụ onye mara ihe n’anya nke onwe ya?
Olileanya dị nye onye nzuzu karịa ndị dị otu a.

13 Onye umengwụ na-asị, “Ọdụm nọ n’okporoụzọ,
ọdụm ji oke iwe na-awagharị nọ n’ama niile!”
14 Dịka ibo ọnụ ụzọ si emegharị n’ihe nkonye ya,
otu a ka onye umengwụ si na-atụgharị onwe ya n’elu ihe ndina ya.
15 Onye umengwụ na-amanye aka n’efere nri*
ma oke umengwụ a naghị ekwe ka o weghachi ya tinye n’ọnụ ya.
16 N’uche ya, onye umengwụ† na-eche na ọ maara ihe
karịa ndị ikom asaa na-eji ezi uche azaghachi okwu.

17 Onye na-etinye onwe ya n’esemokwu na-agbasaghị ya
dị ka mmadụ na-apụ n’okporoụzọ dọkpụrụ nkịta ọbụla ọ hụrụ na ntị.

18 Dịka onye ara na-agba àkụ
na-ere ọkụ nke na-eweta ọnwụ,
19 ka nwoke ahụ bụ nke na-aghọgbu onye agbataobi ya
ma sị, “ọ bụ naanị egwuregwu ka m na-egwu.”

20 Ọkụ na-anyụ mgbe nkụ gwụrụ,
otu a kwa esemokwu na-akwụsị mgbe a kwụsịrị ikwu ndị ọzọ okwu n’azụ.
21 Dịka icheku si eme ka nkụ nwuru ọkụ,
otu a ka onye na-ese okwu si eme ka ọgụ nwuru ọkụ.
22 Okwu niile nke onye na-agba asịrị na-ekwu dịka iberibe nri n’atọ ezi ụtọ,
ha na-agbadakwa n’ime ime ala afọ.

23 Dịka ite aja ụrọ nke e ji ọlaọcha na-abaghị uru techie,
ka egbugbere ọnụ dị nro nke obi jupụtara n’ihe ọjọọ bụ.
24 Ndị iro na-eji egbugbere ọnụ ha gbanwee onwe ha,
ma n’ime obi ha ọ bụ naanị aghụghọ dị ya.
25 Okwu ọnụ ya nwere ike tọọ ụtọ na ntị ma ekwenyerela ha,
n’ihi na ihe arụ asaa jupụtara n’ime obi ha.
26 Ọ bụ ezie na ọ ga na-eme ka ọ hụrụ gị n’anya,
ma iro ya ga-apụta ihe, mmadụ niile ga-ahụkwa ya.
27 Onye na-egwuru ibe ya olulu ga-adaba n’ime ya.
Ọzọ, onye na-enuda nkume, ya ka nkume ahụ ga-adagbu.
28 Onye ị kpọrọ asị bụ onye ị ga-achọ iwetara ihe mgbu site n’ịgha ụgha.
Okwu ọma na-esighị n’obi mmadụ pụta na-eweta ịla n’iyi.

* **26:15** 26:15 Maọbụ, ọkụ nri † **26:16** 26:16 Ya bụ, onye nzuzu

# 27

1 Anyala isi banyere echi,
n'ihi na ị maghị ihe echi ga-abụ.*

2 Ka onye ọzọ too gị, ọ bụghị ọnụ gị.†
Ka onye ọzọ too gị, ka egbugbere ọnụ gị abụọ ghara ito gị.

3 Nkume dị arọ, aja bụkwa ibu arọ,
ma mkpasu iwe nke onye nzuzu dị arọ karịa ha abụọ.

4 Iwe na-emebi ihe,
ma ekworo jọrọ njọ karịa iwe.

5 Mba abara n'ihe ka mma
karịa ịhụnanya ezoro ezo.

6 Ihe kwesiri ntụkwasị obi ka mmerụ ahụ nke sitere n'aka enyi bụ,
ma onye iro na-eme ka isutu ọnụ mụbaa.

7 Mmanụ aṅụ adịghị atọ onye rijuru afọ ụtọ;
ma mgbe agụụ ji ya, ọ ga-eri ọ bụladị ihe dị ilu.

8 Nwoke na-akpafu site n'ụlọ ya
dị ka nnụnụ na-amakwaghị akwụ ya.

9 Mmanụ isi ụtọ na ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ na-eme ka obi ṅụrịa,
otu a ka ụtọ enyi dị,
site na ndụmọdụ nke mkpụrụobi ha.

10 Ahapụla enyi gị maọbụ ndị enyi nna gị.
Mgbe ị nọ na mkpa arịọla nwanne gị ka o nyere gị aka.
Onye agbataobi nọ gị nso nwere ike inyere gị aka karịa nwanne gị nọ ebe dị anya.

11 Nwa m, obi ga-atọ m ụtọ nke ukwuu ma a sị na ị ga-amụta ihe!
Mgbe ahụ, aga m enwe ihe m ga-asa ndị na-akọcha m.

12 Onye nwere uche na-ahụ nsogbu nke na-abịa n'ihu ma zobe onwe ya.
Ma onye na-enweghị uche anaghị ele anya, ọ na-adaba n'ime nsogbu ahụ taa ahụhụ so ya.

13 Chịrị uwe onye ahụ nke naara onye mba ọzọ na mbe.
E, chiri ya ma ọ bụrụ nwanyị na-abụghị nwunye ya ka o nara na mbe.

14 Ọ bụrụ na onye ọbụla e jiri oke olu gọzie onye agbataobi ya n'isi ụtụtụ
a ga-agụ nke a dịka ịbụ ọnụ.

15 Mmiri na-ata n'ime ụlọ mgbe mmiri na-ezo
na nwanyị na-eso okwu bụ otu.
16 Onye nwere ike ịkwụsị ya nwere ike iji aka jide ifufe,

* 27:1 27:1 Luk 12:19-21; Jem 4:13-16 † 27:2 27:2 Etola onwe gị, chere ka ndị ọzọ too gị

maọbụ were aka jide mmanụ.

17 Dịka e si eji igwe amụ igwe ọzọ ka ọ dị nkọ,
otu a ka mmadụ si enyere ibe ya aka ịdị nkọ.

18 Onye na-eche osisi fiig nche ga-eri mkpụrụ ya,
onye na-echebekwa nna ya ukwu ka a ga-asọpụrụ.

19 Dịka e si ahụ ihu mmadụ n’ime mmiri
otu a ka obi mmadụ si egosi ihe onye ahụ bụ.

20 Dịka afọ adịghị eju ọnwụ na mbibi,
otu a ihe na-agụ anya mmadụ adịghị agwụ agwụ.

21 Ite eji anụcha ihe dịrị ọlaọcha, oke ọkụ dịkwara ọlaedo
ma a na-anwale ndị mmadụ site n’otuto a na-enye ha.

22 N’agbanyeghị na ị ga-egwepịa onye nzuzu n’ime ikwe,
were aka odo gwee ha dịka mkpụrụ ọka,
ị pụghị isite n’ahụ ha wepụ enweghị uche ha.

23 Lezie ọrụ gị anya nke ọma,
marakwa ọnọdụ igwe ewu na atụrụ gị na anụ ụlọ ndị ọzọ,
24 n’ihi na akụnụba adịghị adịgide.
Ọ bụladị okpueze nke onye eze na-emesịa gabiga.
25 Mgbe e gbupụchara ahịhịa ochie, nke ọhụrụ na-epupụta,
mgbe ahụ ka a na-achịkọbata ahịhịa sị n’ugwu.
26 Ụmụ atụrụ ga-enye gị uwe ị ga-eyi,
ụmụ ewu ga-enyekwa gị ego ọnụahịa ala ubi gị.
27 Ị ga-enwe mmiri ara ewu nke ga-ezuru gị na ndị ezinaụlọ gị nri,
na nke ga-edozi ahụ ndị odibo nwanyị gị.

# 28

1 Ndị ajọ omume na-agba ọsọ mgbe onye ọbụla na-adịghị achụ ha,
ma ndị ezi omume na-enwe ntụkwasị obi dịka ọdụm.

2 Mgbe njehie dị n’obodo dị ọtụtụ, o nwere ọtụtụ ndịisi,
ma onyeisi nwere ezi nghọta na ihe ọmụma ga-eme ka udo na-adịgide ogologo oge.

3 Onye na-achị achị nke na-emegbu ndị ogbenye,
bụ mmiri ozuzo nke na-azachapụ ihe niile mee ka nri ghara ịdị.

4 Onye na-adịghị asọpụrụ iwu na-eto ndị ajọ omume,
ma ndị na-edebe ihe iwu kwuru na-ebu agha megide ha.

5 Ndị ajọ omume adịghị aghọta uru ikpe ziri ezi bara,
ma ndị na-eso Onyenwe anyị na-aghọta ihe bụ uru ya.

6 Ọ kaara gị mma ịbụ nwa ogbenye na onye eziokwu

kaṛịa na ị bụ ọgaranya na eze aghụghọ.

7 Ụmụ okorobịa nwere nghọta na-eme ihe iwu kwuru,
ma nwa nke ya na ndị oke oriri bụ enyi na-emenye nna ya ihere.

8 Onye na-eme ka akụ ya baa ụba site na ịnara ụma maọbụ ọmụrụnwa n’aka onye ogbenye,
na-ekpokọta ya nye onye ọzọ, onye na-emere ndị ogbenye ebere.

9 Onye na-ewezuga ntị ya site n’ebe iwu m dị,
ọ bụladị ekpere ha bụ ihe arụ.

10 Onye ọbụla na-eduhie ndị ziri ezi n’ụzọ ihe ọjọọ,
ga-adaba n’ọnya ahụ ha onwe ha gbara,
ma ndị na-enweghị ịta ụta ga-anata ezi ihe nketa.

11 N’anya nke onwe ya, onye ọgaranya na-agụ onwe ya dịka onye maara ihe,
ma n’ezie, onye ogbenye nwere nghọta na-enyochapụta amaghị ihe nke onye ọgaranya.

12 Mgbe ihe na-agara ndị ezi omume nke ọma, onye ọbụla na-aṅụrị ọṅụ,
ma onye ọbụla na-ezo onwe ya mgbe onye na-emebi iwu na-aga n’ihu.

13 Onye na-ezo mmehie ya agaghị enwe ọganihu na ndụ ya.
Ma onye na-ekwupụta mmehie ya hapụkwa ha, ka a ga-emere ebere.

14 Ngọzị na-adịrị mmadụ ahụ na-atụ egwu Chineke,
ma onye na-enupu isi na-etinye onwe ya na nsogbu.

15 Dịka ọdụm na-agbọ ụja maọbụ nne bịa na-achụ mmadụ
otu a ka onye ọchịchị ọjọọ nke na-achị ndị na-enweghị ike dị.

16 Ọ bụ naanị eze na-amaghị ihe ga-akpagbu ndị ya;
ma eze ga-achị ogologo oge bụ eze kpọrọ iri ngarị asị.

17 Obi ogbu mmadụ ga na-ama ya ikpe
ruo ala mmụọ.
Ka onye ọbụla ghara inyere ya aka.

18 Onye na-eje ije na-enweghị ịta ụta ka a na-echebe,
ma onye ụzọ ya gbagọrọ agbagọ ga-adaba n’olulu.

19 Onye na-arụ ala ubi ya ga-enwe nri n’ebe ọ bara ụba,
ma onye na-agbaso ihe efu dị iche iche, ụbịam ga-eju ya afọ.

20 Onye ọbụla nke kwesiri ntụkwasị obi ga-enweta ọtụtụ ngọzị,
ma nwoke ahụ na-achọ ịbụ ọgaranya ngwangwa aghaghị inweta ntaramahụhụ.

21 Ile mmadụ anya n’ihu n’oge ikpe jọgburu onwe ya.
Ma ụfọdụ ndị ikpe na-eme ihe na-ezighị ezi, ọ bụladị, n’ihi iberibe nri.

22 Onye aka ntagide ọ na-anụ ọkụ n’obi ịghọ ọgaranya
amaghị na ụkpa nọ na-eche ya.

23 Onye ọbụla na-abara mmadụ mba, n’ikpeazụ ga-enweta amara
karịa onye ahụ na-aja mmadụ ibe ya mma ire ụtọ.

24 Nwoke na-ezu nne na nna ya ohi ma na-asịkwa,
“Olee ihe ọjọọ dị na ya?”
Onye dị otu a bụ nnọọ enyi ndị mbibi.

25 Ndị oke ọchịchọ na-akpali ise okwu,
ma ndị na-atụkwasị Onyenwe anyị obi na-enwe ọganihu.

26 Nwoke ahụ na-atụkwasị onwe ya obi bụ onye nzuzu!
Ma ndị na-agbaso amamihe Chineke, aka adịghị akpa ha.

27 Ọ bụrụ na i nye ogbenye, a ga-egboro gị mkpa gị.
Ma ọbụbụ ọnụ dịrị ndị ahụ na-ekpuchi anya ha n’ebe ndị ogbenye nọ.*

28 Mgbe ndị ajọ omume na-aga n’ihu, ndị ezi omume na-ezo onwe ha,
ma mgbe ha n’ala n’iyi, ndị ezi omume n’aba ụba.

# 29

1 Onye a na-abara mba mgbe niile ma ọ naghị anata ndụmọdụ,
n’otu ntabi anya ka a ga-etipịa ya, ọ gaghị ekulikwa ọzọ.

2 Mgbe ndị ezi omume nọ n’ọchịchị, ndị a na-achị na-aṅụrị ọṅụ,
ma ha na-asụ ude mgbe onye ajọ omume na-achị.

3 Nwoke hụrụ amamihe n’anya na-eme ka nna ṅụrịa,
ma onye bụ enyi ụmụ nwanyị akwụna, na-ala akụnụba ya n’iyi.

4 Eze na-achị n’eziokwu na-ewetara obodo ya ọganihu,
ma nke na-achọ ngarị na-ala ya n’iyi.

5 Onye ahụ ji ire ụtọ na-aja onye agbataobi ya mma
bụ ọnya ka ọ na-esiri ya.

6 Ọ bụ onye ajọ omume siri ọnya ka ọnya ahụ na-ama.
Ma ndị ezi omume na-anọrọ onwe ha na-agụ egwu ọṅụ.

7 Onye ezi omume na-etinye anya n’ihe banyere ikpe ziri ezi nke ndị ogbenye,
ma ụdị echiche ahụ adịghị abata ndị ajọ omume n’obi.

8 Ndị nzuzu na-amalite ọgụ ebe niile,
ma ndị nwere uche na-agbalịsị ike ime ka udo dị.

9 Ọ bụrụ na onye maara ihe esoro onye nzuzu gaa n’ụlọikpe,
onye nzuzu ga-ewe iwe ọkụ, mee mkpọtụ, kwaa emo ma udo agaghị adị.

* **28:27** 28:27 Dit 15:7; Ilu 22:9

10 Ndị ndụ ha na-ebi bụ ime ihe ike na-akpọ onye eziokwu asị,
ha na-achọsikwa ike ụzọ ha ga-esi gbuo onye ndụ ya ziri ezi.

11 Onye nzuzu na-egosi oke iwe ya,
ma onye nwere uche na-ejide onwe ya na-emekwa ka mmụọ ya dajụọ.

12 Ọ bụrụ na onye na-achị achị aṅaa ntị n’okwu ụgha,
ndị niile na-ejere ya ozi ga-aghọ ndị ajọ omume.

13 Ogbenye na ọgaranya bụ otu na nke a:
ọ bụ Onyenwe anyị na-eme ka ha jiri anya ha na-ahụ ụzọ.

14 Ọ bụrụ na eze esite n’izi ezi kpee ndị ogbenye ikpe,
a ga-eme ka ocheeze ya guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi.

15 Ịba mba na iti nwantakịrị ihe na-enye aka mee ka ọ bụrụ ezi nwa,
ma nwantakịrị a na-adịghị adụ ọdụ na-eme nne ya ihe ihere.

16 Mgbe ndị na-emebi iwu na-aga n’ihu, njehie na-aba ụba n’etiti ndị a na-achị achị,
ma ndị ezi omume ga-eguzo hụ ọdịda ha.

17 Dọọ nwa gị aka na ntị, ndụ ya ga-enye obi gị udo na ọṅụ.
Ọ gaghị emekwa ka ihere mee gị.

18 Obodo na-adịghị atụ egwu Chineke bụ obodo na-adịghị agazi n’usoro,
ma ọṅụ na-adịrị obodo ahụ na-edebe ihe Onyenwe anyị nyere n’iwu.

19 Ọ bụghị naanị okwu ọnụ ka e ji adọ ndị na-eje ozi aka na ntị,
n’ihi na ha nwere ike ghọta ma ha ga-ajụ ime ihe ị chọrọ.

20 Olileanya dịrị onye nzuzu
karịa onye ahụ na-adịghị echezi echiche tupu o kwuo okwu.

21 Ị malite na mbụ na-emezi onye na-ejere gị ozi,
ọ ga-emesịa chọọ ka i meere ya dịka nwa gị.

22 Onye na-ewe iwe na-akpali ọgụ,
onye na-ewe iwe ọkụ na-eme ọtụtụ mmehie.

23 Nganga mmadụ na-eme ka ọ daa,
ma mmadụ ahụ dị umeala n’obi ga-eweta nsọpụrụ.

24 Ndị ọbụla na-enyere ndị ohi aka bụ ndị iro nke ndụ ha,
a na-edu ha n’ịṅụ iyi, ma ha adịghị agba akaebe.

25 Ịtụ egwu mmadụ bụ ihe ịma n’ọnya,
ma onye ọbụla na-atụkwasị Onyenwe anyị obi na-anọ n’udo.

26 Ị chọrọ ikpe ziri ezi?
Elela onye ikpe anya n’ihu, kama gwa Onyenwe anyị maka ya.

27 Onye ezi omume na-akpọ ajọ omume asị;
ndị na-emebi iwu na-akpọ onye ndụ ya ziri ezi asị.

## Okwu amamihe nke Agọ

# 30

1 Ndị a bụ okwu Agọ, nwa Jake, onye Masa,
Okwu si n'ọnụ nwoke a zigaara Itiel na Ukal:

"Ike agwụla m, Chineke
ma a pụrụ imeri.
2 N'ezie, abụ m onye nzuzu karịa mmadụ ọbụla;*
Enweghị m ụdị nghọta ahụ mmadụ na-enwe.
3 Amụtabeghị m amamihe,
maọbụ ruo ịmata maka Onye Nsọ ahụ.
4 Olee onye na-arịgo n'eluigwe na-arịdatakwa?
Onye ka ọ bụ, bụ onye jikọtara ifufe n'aka ya?
Onye kwa weere akwa kechikọtaa osimiri niile n'aka ya?
Onye hiwere oke nsọtụ ụwa niile? Onye ka ọ bụ?
Ọ bụrụ na ị ma onye ọ bụ, gịnị bụ aha ya?
Gịnịkwa bụ aha nwa ya?

5 "Okwu ọnụ Chineke niile bụ ihe anụchara anụcha,
Ọ bụ ọta nye ndị na-agbaba n'ime ya izere ndụ.
6 Atụkwasịla ihe ọbụla n'okwu ya,
ka ọ ghara ịbara gị mba, ka ị gharakwa ịghọ onye ụgha.

7 "O Onyenwe anyị, naanị ihe abụọ ka m na-arịọ gị tupu m nwụọ;
ajụkwala imere m ha:
8 Nke mbụ, mee ka okwu efu na okwu ụgha dị anya n'ebe m nọ.
Nke abụọ, e nyela m ọnọdụ ogbenye maọbụ ọnọdụ ọgaranya,
kama nye m naanị nri ga-ezuru m kwa ụbọchị niile.
9 N'ihi na, ọ bụrụ na m aghọọ ọgaranya, ma eleghị anya, afọ ga-eju m, jubiga m oke,
ruo na m ga-asị na m achọkwaghị gị ma kwuokwa si, 'Onye ka Onyenwe anyị bụ?'
Ọ bụrụkwa na m adaa ogbenye, ma eleghị anya, aga m ezu ohi,
site n'ụzọ dị otu a, wetara aha nsọ gị Chineke, ihe ihere.

10 "Ekwujọla ohu n'ihu nna ya ukwu,
ka ọ ghara ịbụ gị ọnụ, ikpe amaa gị.

11 "Ọ dị ndị† na-akọcha nna ha,
ha adịghị agọzikwa nne ha;
12 Ọgbọ ndị dị ọcha n'anya nke onwe ha
ma asapụbeghị isisi n'unyi ha ruru.
13 Ọ dị ndị anya ha dị n'elu,
ndị ile anya ha jupụtara na nleị.
14 Ndị eze ha niile bụ mma agha
ịkịrị eze ha bụkwa mma

* **30:2** 30:2 Abụ m anụ ọhịa, a bụghị mmadụ. † **30:11** 30:11 Maọbụ, Ọgbọ

maka irichapụ ndị ogbenye site n'ụwa
na ndị nọ n'ụkọ site n'etiti mmadụ.

15 "Etu nwere ụmụ nwanyị abụọ
ndị na-eti, 'Nye, nye.'

"Ọ dị ụzọ ihe atọ nke afọ na-adịghị eju.
E, anọ dị na-adịghị asị, 'O zuola.'
16 Ala ili,
akpanwa nwanyị na-adịghị atụ ime,
ala nke mmiri na-adịghị eju afọ,
na ọkụ nke na-adịghị asị, 'O zuola.'

17 "Onye ahụ na-akwa nna ya emo,
nke na-akpọkwa irubere nne ya isi asị,
ugolọma ga-atụrụ mkpụrụ anya ya,
udele ga-erikwa anụ ahụ ya.

18 "Ọ dị ihe atọ na-agbagwoju m anya, apụghị m ịghọta ha;
mbaa, ha dị anọ!
19 Otu ugo si efeghari na mbara eluigwe;
otu agwọ si akpụ n'elu nkume,
otu ụgbọ mmiri si achọta ụzọ ya n'oke osimiri;
na otu ịhụnanya si eto n'etiti nwoke na nwaagbọghọ.

20 "Nke bụ ụzọ nwanyị na-akwa iko,
Ọ na-eri ma hichaa ọnụ ya,
na-asị, 'E meghị m ajọ ihe ọbụla.'

21 "Ọ dị ihe atọ na-eme ka ụwa maa jijiji,
n'okpuru ihe anọ nke ọ na-apụghị ịnagide,
22 Ohu ghọrọ eze,
onye nzuzu ihe na-agara nke ọma,
23 nwanyị obi ilu mesịrị lụta dị,
na odibo nwanyị ghọrọ nwunye nna ya ukwu.

24 "Ihe anọ dị nke dị nta n'elu ụwa,
ma ha maa ihe nke ukwuu.
25 Ndanda bụ ndị na-enweghị ume,
ma ha na-akpakọta nri ha, dozie nke ha ga-eri n'oge oyi.
26 Ewi nkume‡ bụ ndị na-adịghị ike,
ma ha na-echebe onwe ha site n'ibi n'ọgba nkume.
27 Igurube enweghị eze,
ma ha na-aga n'igwe n'ahịrị n'ahịrị.
28 Ngwere dị mfe iji aka jide ya,
ma ị ga-achọta ha ọ bụladị n'ụlọ ndị eze.

29 "Ha dị ihe atọ na-ejeghari n'ụwa n'ọnọdụ ịdị oke ebube,
mbaa, ha dị anọ:

‡ **30:26** 30:26 Ewi nkume bụ otu ụdị oke n'ọtụtụ ụzọ oke e nwere. Ha na-ebi n'igwe n'ugwu. Lev 11:5; Abụ 104:18

30 Ọdụm, eze ụmụ anụmanụ. Ọ naghị atụ onye ọbụla egwu,
31 na oke ọkụkọ na-ejeghari ejeghari,
na mkpi,
na eze ndị agha ya gbara gburugburu.

32 "Ọ bụrụ na i meela ihe nzuzu site n'ifuli onwe gị elu
maọbụ zube nzube ọjọọ,
anyala isi n'ihi ya, were aka gị kpuchie ọnụ gị n'ihere.
33 A pịaa mmiri ara ehi a na-ewepụta mmanụ ara ehi;
iti mmadụ aka n'imi na-akpata ịgba ọbara,
otu a kwa ikpali iwe na-eweta ise okwu."

## Okwu eze Lemuel

# 31

1 Ndị a bụ okwu si n'ọnụ Lemuel, eze Masa. Ha bụ okwu ndị ahụ nne eze Lemuel
kuziri ya.
2 Gee ntị, nwa m, gee ntị, nwa nke afọ m.
Gee ntị, nwa m, nwa nke ọziza ekpere m niile.
3 Enyela ụmụ nwanyị* ike gị,
enyekwela ịdị ike gị n'aka ndị n'ala ndị eze n'iyi.

4 Lemuel nwa m, ọ bụghị ihe kwesiri ekwesi na ndị eze ga-aṅụ mmanya.
O kwesikwaghị ka agụụ ịṅụ mmanya
bụrụ ihe ga na-agụ ndị eze.
5 Ka ha ghara ịṅụbiga mmanya oke si otu a chefuo ikpe ikpe ziri ezi dịka iwu kwuru.
Ka ha gharakwa isite n'ịṅụbiga mmanya oke napụ ndị a na-emegbu emegbu ikpe
ziri ezi ha kwesiri inweta.
6 Ndị e kwesiri inye mmanya bụ ndị ahụ na-ala n'iyi,
ndị ahụ nọ n'ọnọdụ oke ihe mgbu nke obi.
7 Ka ha ṅụọ chefuo ọnọdụ ọjọọ ha,
ka ha gharakwa icheta ọnọdụ nhụju anya ha.

8 Jisie ike kwuchite ọnụ ndị ahụ na-enweghị ike ikwuru ọnụ onwe ha;
kwuchitekwa ọnụ ndị niile ọnọdụ ha dị ala.
9 Kwusie okwu ike, kpeekwa ikpe ziri ezi.
Gbooro ndị ogbenye na ndị mkpa na-akpa ọgụ site n'aka ndị na-emegbu ha.

## Okwu mmechi: Ezi nwanyị nwere agwa ọma

10 Nwanyị nwere ugwu† onye ga-achọtali ya?
Ọ dị oke ọnụ karịa nkume rubi.
11 Di nwanyị dị otu a na-atụkwasị obi ya niile n'ime ya,
ọ dịghị ihe dị mkpa nke na-akọ ya.
12 Ihe nwanyị dị otu a na-ewetara di ya bụ naanị ihe ọma.
Ihe ọjọọ ọbụla adịghị esi n'aka ya abịakwasị di ya ụbọchị niile nke ndụ ya.
13 Ọ na-ahọrọ ajị anụ na flakisi
jiri ya na-arụ ọrụ na-atọ aka ya ụtọ.
14 Ọ na-esite n'ebe dị anya na-ebubata ihe oriri n'ụlọ ya
dịka a ga-asị na ọ bụ ụgbọ mmiri.

* **31:3** 31:3 Okwu a, ụmụ nwanyị, bụ banyere ọtụtụ ndị inyom bi n'ụlọeze. Onye dere akwụkwọ a, eleghị anya, na-arụtụ aka na ụmụ nwanyị ndị a, pụrụ ime ka uche eze pụọ site n'ihe o kwesiri ime. Est 2:3,8 † **31:10** 31:10 Maọbụ, Nwanyị nwere agwa ọma na-ejidekwa onwe ya n'ụzọ kwesiri.

15 Tupu chi abọzie,
nwanyị a esitelarị n’ihe ndina bilie kwadooro ezinaụlọ ya ihe oriri,
ma debekwara odibo ndị inyom na-ejere ya ozi oke ihe oriri nke ha.
16 Ọ na-apụ nyochapụta ịdị mma ala ubi, ma zụpụta ya.
Ọ bụ ego ọ rụpụtara n’onwe ya ka o ji arụ ọrụ ubi vaịnị.
17 Ike ịrụ ọrụ adịghị agwụ ya.
Ọ dị nnọọ ike, bụrụkwa onye na-arụpụta ihe dị iche iche.
18 Ọ na-elezi anya hụ na ihe ahịa o mepụtara dị ezi oke ọnụahịa;
ọ bụ nke a mere o ji na-arụ ọrụ ruo n’ime ime abalị.
19 N’ọbụaka ya ka o jidere osisi ịtụ ogho akwa;
mkpịsịaka ya na-ejidesikwa ozele e ji na-ekwe akwa ike.
20 Ọ na-agbasapụ aka
inyere ndị ogbenye na ndị mkpa na-akpa aka.
21 Udu mmiri maọbụ oge oke oyi adịghị eche ya uche
n’ihi na ndị niile nọ n’ezinaụlọ ya nwere uwe ha ga-eji chụọ oyi.
22 Ọ na-akpa akwa a na-agbasa n’elu ihe ndina,
ma ya onwe ya na-eyikwa uwe e ji ezi akwa ọcha na akwa odo odo‡ dụọ.
23 Di ya bụ onye a na-asọpụrụ n’ọnụ ụzọ ama obodo§
ebe ọ na-ewere ọnọdụ n’etiti ndị okenye nke ala ahụ.
24 Ọ na-akpa ma na-adụkwa akwa dị iche iche, ya na ihe ike n’ukwu,
ndị ọ na-eresi ndị ahịa ndị ọzọ.
25 Ọ bụ nwanyị dị ike, onye a na-asọpụrụ asọpụrụ.
Ụjọ adịghị atụkwa ya maka ihe ga-eme n’oge dị n’ihu.
26 Ọ na-eji amamihe na-ekwu okwu
ntụziaka kwesiri dịkwa n’ire ya.
27 Ọ na-etinye uche n’ihe niile banyere ezinaụlọ ya,
ọ naghị arụ ọrụ umengwụ.
28 Ụmụ ya na-ebili gọzie ya;
otu a kwa di ya ga-eto ya ezi otuto.
29 Ọ ga-asị; “E nwere ọtụtụ ndị inyom ndị bụ ezi nwunye nye di ha,
ma gị onwe gị kachasị ha niile mma.”
30 Ịma mma nke elu ahụ adịghị egosi ihe mmadụ bụ, n’ihi na ịma mma adịghị adịgide ogologo oge.
Ma nwanyị ọbụla nke na-atụ egwu Onyenwe anyị bụ onye e kwesiri ito.
31 E kwesiri ito ya n’ihi ọrụ ọma niile nke aka ya rụpụtara.
Ka ọrụ ya niile wetara ya otuto n’ọnụ ụzọ ama nke obodo.

‡ **31:22** 31:22 N’oge ochie, naanị ndị ọgaranya na-eyi uwe na-acha odo odo, n’ihi na ọ bụ akwa dị oke ọnụ.

§ **31:23** 31:23 Ọnụ ụzọ ama obodo bụ ebe ndị okenye na-ezukọta akparịta ụka. Jen 19:1; Rut 4:1-3

# Ekiliziastis

*Ọ nweghị ihe nwere isi*

1 Okwu onye ozizi, nwa Devid, onye bụ eze na Jerusalem.
2 Ihe efu, ihe niile bụ ihe efu
ka onye ozizi na-ekwu.
Ihe na-enweghị isi* ka ihe niile bụ.
Ihe niile bụ nnọọ ihe efu.

3 Olee uru mmadụ na-enweta site na ndọgbu niile
ọ na-adọgbu onwe ya n'ọrụ n'okpuru anyanwụ?
4 Otu ọgbọ laa, ọgbọ ọzọ abịa,
ma ụwa na-adịgide ruo ebighị ebi.
5 Anyanwụ na-awa, na-adakwa,
ma mee ngwangwa laghachi ebe o si awapụta.
6 Ifufe na-efe gaa na ndịda;
feekwa gburugburu gaa n'ugwu,
ọ na-efeghari gburugburu ebe niile;
na-efe na-enweghịkwa nsọtụ.
7 Mmiri dị n'iyi niile na-asọbanye n'oke osimiri
ma oke osimiri ejughị eju.
Emesịakwa, mmiri ndị a na-alọghachi n'iyi ndị a,
malitekwa ịsọkwa na-aga n'osimiri.
8 Ihe niile nọ na-adọgbu onwe ha n'ọrụ;
ọnụ apụghị ịkọ ụdị ike ọgwụgwụ dịnụ.
Otu ọbụla anyị si lee anya, afọ adịghị eju anya anyị.
Afọ adịghịkwa eju ntị anyị ịnụ ihe, na ige ntị.
9 Ihe ọbụla nke dịrịla na mbụ ga-adịkwa ọzọ.
Ihe ndị mmadụ mere n'oge gara aga ka a ga-emekwa ọzọ.
Ọ dịkwaghị ihe ọhụrụ ọbụla dị n'okpuru anyanwụ.
10 Ọ dị ihe enwere ike ikwu sị,
"Lee, ihe a bụ ihe ọhụrụ"?
Ọ bụ ihe dịịrị n'oge gara aga,
n'oge ndị garalarị tupu oge anyị.
11 Anaghị echeta ndị mgbe ochie,
otu aka ahụ kwa, ọgbọ na-abịa abịa
ndị ga-eso ha
agakwaghị echeta ha.

*Amamihe enweghị isi*

12 Mụ onwe m bụ onye nkuzi, bụrịị eze Izrel n'ime Jerusalem. 13 Ekpebiri m, were
onwe m nye, iji amamihe nnyochapụta ihe m nwere ike ịmata banyere ihe niile a
na-eme n'ime ụwa. Olee ụdị ibu arọ bụ nke a, nke Chineke bokwasịrị ụmụ mmadụ?
14 Enyochaala m ihe niile a na-eme n'ụwa chọpụta na ha enweghị isi. Ọ dị ka mmadụ
ịchụgharị ifufe.
15 Ihe gbagọrọ agbagọ, apụghị ime ya ka ọ dizie.
Ihe na-ezughị ezu, enweghị ike ịgụta ha ọnụ.

* **1:2** 1:2 Maọbụ, ihe efu Abụ 144:4.

16 Echere m n’ime obi m sị, “Lee anya! Aghọọla m onye ukwu, bụrụ onye maara
ihe karịa ndị eze niile chịrịla na Jerusalem. Enweela m amamihe n’ebe ọ dị ukwu,
babigakwa ụba oke n’ihe ọmụma.” 17 N’ihi ya, agbalịsiri m ike ịmụta ihe dị iche
n’etiti ihe ọmụma, na ịyị ara na nzuzu. Ma ihe m chọpụtara bụ na ọ baghị uru. Ọ dị
ka itufu oge ịchọ ụzọ ijide ifufe.

18 N’ihi na mgbe amamihe na-aba ụba, mgbe ahụ ka iwe na ọnụma na-ejupụta,
oke ihe ọmụma na-ewetakwa oke ihe mgbu.

# 2

*Ịgbaso ihe na-enye aṅụrị enweghị isi*

1 Echere m n’ime obi m sị, Ugbu a, aga m eji ihe na-enye obi aṅụrị nwaa gị site otu a
chọpụta ihe dị mma, ma nke a bụkwa ihe efu. 2 “Ọchị,” ka m sịrị na “ọ bụ ihe nzuzu.
Ikpori ndụ, uru gịnị ka ọ bara?” 3 Echere m n’obi ụtọ m ga-esite n’ịṅụ mmanya.
Agbasokwara m ụzọ ibi ndụ nzuzu ma obi m nọ nnọọ na-edu m site n’amamihe.
Olileanya m bụ na m ga-esi otu a chọta ụzọ kachasị mma ndị mmadụ nwere ike iji
bie mkpụmkpụ ndụ ha n’ụwa.

4 Arụpụtara m ọtụtụ ihe dị iche iche, ewuru m ụlọ nye onwe m ma nweekwa ubi
vaịnị. 5 Ewuru m ubi a gbara ogige ebe izuike, ma kụọkwa osisi na-amị mkpụrụ
dị iche iche n’ime ha, 6 wuore onwe m ọdọ mmiri ebe a ga-esi na-agba ubi m niile
mmiri. 7 Agbatara m ndị ohu nwoke na nwanyị, nweekwa ndị ohu ọzọ a mụrụ n’ụlọ
m. Enwekwara m ọtụtụ igwe ehi na anụ ụlọ karịa eze niile ndị bu m ụzọ chịa na
Jerusalem. 8 Achịkọtara m ọlaọcha na ọlaedo nye onwe m, na akụnụba nke ọtụtụ
ndị eze na-achị ala ha na-atụtara m. E nwetakwara m nye onwe m ndị ikom na
ndị inyom ndị na-abụ abụ. Enwekwara ndị iko nwanyị n’ebe ọ bara ụba. Ihe ụtọ
niile ndị na-amasị obi nwa mmadụ. 9 E, aghọrọ m onye dị ukwuu karịa eze niile ndị
burula m ụzọ chịa na Jerusalem. Ma n’ime ihe ndị a niile, anya doro m, ihe niile ka
m ji amamihe tulee.

10 Ihe ọbụla m chọrọ, ka m na-ewere;
egbochighị m onwe m aṅụrị ọbụla.
Obi m ṅụrịrị ọṅụ site n’ọrụ niile,
nke a bụkwa oke m ketara na ndọgbu niile m dọgburu onwe m.
11 Mgbe m tulere ihe banyere ihe ndị a niile m tinyetụrụ aka,
otu m si dọgbuo onwe m n’ọrụ banyere ha,
mkpebi m bụ na ha niile bụ ihe efu, dịka ịchọ ijide ifufe.
N’ezie, ihe niile bụ ihe efu, ha abakwaghị uru.

*Amamihe na nzuzu enweghị isi*

12 Atụgharịrị m bido ịmụ ihe banyere amamihe,
na ịyị ara na nzuzu.
Olee ihe ọzọ nke onye ga-anọchi anya eze ga-eme,
karịa ihe ndị ahụ e merela na mbụ?
13 Achọpụtara m na amamihe dị mma karịa nzuzu,
dịka ìhè si dị mma karịa ọchịchịrị.
14 N’ihi na onye maara ihe na-ahụ ụzọ
ma isi kpuru onye nzuzu.
Ma achọpụtakwara m
na otu ihe ndaba na-adabara onye amamihe na onye nzuzu.

15 Agwara m onwe m okwu sị,
“Dịka onye nzuzu ga-anwụ, otu ahụ kwa ka m ga-anwụ.
Gịnị bụ uru amamihe m niile bara?”
Ekwuru m n’obi m sị,

"Ihe a bụkwa ihe efu.
16 N'ihi na onye maara ihe na onye nzuzu bụ ndị a na-agaghị echeta ihe banyere ogologo oge dị n'ihu.
N'ụbọchị ndị na-abịa n'ihu, a gaghị echeta ha.
Onye amamihe na onye nzuzu aghaghị ịnwụ."

*Ndọgbu n'ọrụ abaghị uru*

17 Ya mere, akpọrọ m ịdị ndụ asị, n'ihi na ọrụ a na-arụ n'okpuru anyanwụ wutere
m. Ihe efu ka ọ bụ; ọ dị ka ịchụgharị ifufe. 18 Ihe niile m gbalịrị ịrụpụta ka m kpọrọ
asị, n'ihi na amaara m na emesịa, aga m ahapụrụ ha onye ọzọ na-abịa n'azụ m.
19 Onye maara ma ọ ga-abụ onye maara ihe ma ọ ga-abụkwanụ onye nzuzu? Ma ihe
niile m ji amamihe ǹka m na ike m rụpụta n'okpuru anyanwụ ga-abụ nke ya! Ihe
a bụ ihe efu. 20 Ya mere, o wutere m n'obi na m dọgburu onwe m n'ọrụ n'okpuru
anyanwụ. 21 N'ihi na mmadụ nwere ike jiri amamihe, na ihe ọmụma na ǹka dọgbuo
onwe ya n'ọrụ, emesịa, ha ahapụrụ onye na-enweghị mgbe ọ rụrụ ọrụ ọbụla ihe
ndị ahụ niile. Nke a bụkwa ihe efu, na oke ihe ndakwasị. 22 Gịnị bụ uru mmadụ
na-enweta na ndọgbu niile ọ na-adọgbu onwe ya n'ọrụ n'okpuru anyanwụ? 23 N'ihi
n'ụbọchị ha niile jupụtara naanị n'ihe mgbu na iru ụjụ, ọ bụladị n'abalị, obi ha
anaghị ezu ike. Ihe ndị a bụkwa ihe efu.*

24 N'ihi ya, ekpebiri m na ọ dịghị ihe ọzọ ga-abara mmadụ uru karịakwa naanị
ịnọdụ ala rie nri, ṅụọkwa ihe ma chọta ojuju afọ n'ọrụ ya. Achọpụtakwara m na ọ
bụladị nke a si n'aka Chineke. 25 Ọ dịghị onye pụrụ iri maọbụ ṅụọ ma o siteghị na
Chineke? 26 N'ihi na ndị na-eme ihe na-atọ ya ụtọ, ka Chineke na-enye amamihe na
ihe ọmụma, na ọṅụ; ma ọ na-enye onye mmehie ọrụ ịkpakọta na ịchịkọba akụnụba
nke ọ ga-enyefe n'aka onye ahụ ihe ya dị Chineke mma. Nke a bụkwa ihe efu; ịchụso
ifufe.

# 3

*Ihe niile nwere oge*

1 Ihe ọbụla nwere oge;
mgbe dịkwara ihe ọbụla a na-eme eme n'eluigwe.

2 Oge ịmụ nwa na oge ịnwụ anwụ,
oge ịkụ ihe na oge ihopu,
3 oge igbu egbu; na oge ịgwọ ọrịa,
oge itikpọ na oge iwuzi ewuzi,
4 oge ịkwa akwa, na oge ịchị ọchị,*
oge iru ụjụ na oge ite egwu,
5 oge ikposa nkume na oge ịchịkọta nkume,
oge ịbakụ na oge ịkwụsị ịbakụ,
6 oge ịchọ ihe, na oge ntufu,
oge ịchịkọba, na oge ichifusi,
7 oge ndọwasị, na oge ndụkọta,
oge ịgba nkịtị, na oge ikwu okwu,†
8 oge ịhụnanya na oge ịkpọ asị,
oge ibu agha, na oge ime udo.

9 Gịnị bụ nnọọ ihe mmadụ na-enweta site na ndọgbu niile nke n'ọrụ niile ọ na-arụ?
10 Ahụla m ibu arọ nke Chineke bokwasịrị ndị mmadụ e kere eke. 11 O meela ka ihe
niile maa mma n'oge nke ya. O tinyekwala ebighị ebi n'ime obi ndị mmadụ; ma o

* **2:23** 2:23 Job 5:7; Job 14:1 * **3:4** 3:4 Rom 12:15 † **3:7** 3:7 Ems 5:13; Ilu 25:11

nweghị ka mmadụ ghọta ọrụ Chineke site na mmalite ruo n'ọgwụgwụ. 12 N'ihi ya,
ekpebiri m na ihe dịịrị mmadụ ịchọ bụ obi ụtọ na inwe aṅụrị na ndụ ya niile. 13 Ihe
ọzọ bụ ka mmadụ rie, ṅụọ, ma nwee afọ ojuju na ndọgbu niile ọ na-adọgbu onwe
ya, n'ihi na ha bụ onyinye si n'aka Chineke. 14 Amaara m na ihe niile Chineke mere
na-adịgidekwa. O nweghị ihe apụrụ itinye na ya, o nweghịkwa ihe apụrụ iwepụkwa
site na ya. Chineke na-eme nke a ka ndị mmadụ tụọ egwu ya.

15 Ihe ọbụla dị ugbu a, adịlarị na mgbe ochie,
ihe ọbụla gaje ịdị dịlarị na mbụ.
Chineke na-eme ka ihe niile mere na mgbe gara aga megharịakwa ọzọ.

16 Ọzọkwa, achọpụtara m otu ihe n'okpuru anyanwụ,
na ọnọdụ ezi ikpe naanị mmebi iwu jupụtara,
n'ebe e kwesiri inwe ikpe ziri ezi ị ga-achọpụta na ihe ọjọọ dịkwa ya.

17 A gwara m onwe m,
"Chineke ga-ekpe,
ndị ezi omume na ndị ajọ omume ikpe,
n'ihi na a ga-enwe oge maka ihe ọbụla a na-eme eme,
oge dịkwa maka ikpe ọrụ niile nke mmadụ ikpe."

18 Echere m n'obi sị, "Ebe mmadụ nọ, Chineke na-anwale ya, ka mmadụ mata na
ha dị ka anụmanụ. 19 N'ihi na ihe na-eche mmadụ na anụmanụ bụ otu. Ha abụọ
na-eku ume, ha abụọ na-anwụkwa anwụ. Ọ dịghị ihe mmadụ ji karịa anụmanụ. Ihe
niile bụ ihe efu. 20 Ha niile na-alaghachi n'otu ebe; ọ bụ n'aja ka ha si pụta, ebe ahụ
kwa ka ha ga-alaghachi. 21 Onye pụrụ iguzo gbaa akaebe na mmụọ mmadụ na-ala
n'elu ma nke anụmanụ na-ala n'aja?"

22 N'ihi ya, ahụrụ m na ọ dịghị ihe ọzọ ụmụ mmadụ kwesiri ime karịakwa inwe
ọṅụ n'ọrụ ha, n'ihi na nke ahụ bụ oke ha n'ebe a. Onye ga-eme ka ha bịaghachi hụ
ihe ga-eme n'azụ ha?

# 4

*Mmegbu, ndọgbu n'ọrụ, na enweghị enyi*

1 Ọzọ, ahụrụ m mmegbu na obi ilu niile dị n'okpuru anyanwụ,
anya mmiri akwa ndị a na-emegbu emegbu,
ma ọ dịkwaghị ndị nkasiobi ha nwere,
ma ike dị n'aka ndị mmegbu a,
ma ha enwekwaghị ndị nkasiobi.
2 N'ihi ya, ekwuru m, na ndị nwụrụ anwụ,
bụ ndị nwụrụ anwụ mgbe gara aga,
ka ndị dị ndụ mma,
bụ ndị nke dị ndụ ruo ugbu a.
3 Ma ọ dị mma karịa ha abụọ
bụ onye ahụ a na-amụbeghị,
onye na-ahụbeghị ihe ọjọọ
nke dị n'okpuru anyanwụ.

4 Achọpụtakwara m na ihe mere ndị mmadụ ji na-adọgbu onwe ha n'ọrụ bụ n'ihi
anya ụfụ ha nwere n'ebe ihe ndị agbataobi ha dị. Nke a bụ ihe efu, ịchụso ifufe.
5 Onye nzuzu na-afanye aka abụọ n'apata,
na-eri anụ ahụ onwe ya.*
6 Ọ ka mma inwe ihe ntakịrị na obi udo,
karịa mmadụ inweju akụ site n'ịdọgbu onwe ya n'ọrụ,
nke bụ naanị ịchụso ifufe.

* **4:5** 4:5 Ilu 24:30-31

7 Ọ dịkwa ihe ọzọ m hụrụ n’okpuru anyanwụ bụ naanị ihe efu.
8 Ọ dị otu nwoke nke naanị ya nọ,
o nweghị nwa, o nwekwaghị ụmụnne.
Mgbe niile, ọ na-adọgbu onwe ya n’ọrụ,
ma nke a emeghị ka afọ ju ya n’akụnụba o nwere.
Ọ jụrụ sị, “Ọ bụ n’ihi onye ka m ji adọgbu onwe m n’ọrụ,”
“n’ihi gịnị ka m ji anapụ onwe m ihe obi aṅụrị?”
Ihe nke a enweghị isi,
ihe efu na-eweta obi mgbawa ka ha bụ.

9 Mmadụ abụọ ka mma karịa otu onye,
n’ihi na ha ga-arụpụta ọtụtụ ihe:
10 Otu onye n’ime ha daa,
onye nke ọzọ ga-apalite ya.
Ma mgbe ọ bụ naanị otu onye,
onye ga-apalite ya? Ọ nọ n’ime nsogbu.
11 Ọzọ, ọ bụrụ na mmadụ abụọ edinakọ, ahụ ga-ekpokwa ha ọkụ,
ma olee otu onye naanị ya dina ga-esi nweta okpomọkụ?
12 Ọ bụ ezie na e nwere ike merie onye naanị ya guzo,
ma mmadụ abụọ pụrụ iguzo zọọ onwe ha.
Ụdọ e ji eriri atọ tụkọta n’otu, adịghị adọbi ya ngwangwa.

### *Ọganihu enweghị isi*

13 Ọ ka mma ịbụ nwantakịrị na onye ogbenye nwere nghọta karịa ịbụ agadi bụ
eze ndị nzuzu, onye na-adịghị aṅa ntị na ndụmọdụ ọbụla. 14 Nwata dị otu a, ma
eleghị anya, ọ ga-esi n’ụlọ mkpọrọ pụta bụrụ eze, ma ọ bụkwanụ na a mụrụ ya
ogbenye n’alaeze ahụ. 15 Ahụrụ m na mmadụ niile ndị bi n’okpuru anyanwụ na-eso
nwantakịrị ahụ onye nọchiri anya eze. 16 A pụghị ịgụta ndị dịnyere ya, ma ndị ga-
esota n’azụ agaghị enwe ọṅụ n’ebe onye nọchiri eze ahụ nọ. Ọzọkwa, nke a bụ ihe
efu, naanị ịchụso ifufe.

## 5

### *Kwụghachi nkwa ị kwere Chineke*

1 Mgbe ị na-aba n’ụlọ ukwu Chineke, lezie anya. Meghee ntị gị nke ọma, karịa ịchụ
aja onyinye nke ndị nzuzu, ndị na-amaghị na ha na-eme ihe ọjọọ.
2 Abụla onye na-eme ọsịịsọ ikwu okwu
maọbụ ime ngwangwa n’ime echiche obi gị,
maọbụ ikwe Chineke nkwa ọnụ efu.[*]
N’ihi na Chineke nọ n’eluigwe
ma naanị n’ụwa ka ị nọ,
n’ihi ya ka okwu ọnụ gị dị ole na ole.
3 Dị ka ọtụtụ nchekasị si eweta ị rọọ nrọ,
otu a ka okwu onye nzuzu si dị mgbe ọtụtụ okwu dị ya n’ọnụ.
4 N’ihi ya, mgbe ị na-ekwe Chineke nkwa, atụfula oge imezu ihe ahụ, n’ihi na ihe
banyere ndị nzuzu adịghị atọ Chineke ụtọ. Mezuo nkwa niile i kwere Chineke. 5 Ọ ka
mma na ị gbara nkịtị karịa na ị ga-ekwe nkwa ma ị gaghị emezu ya. 6 Ekwela ka ọnụ
gị duba gị na mmehie. Azọkwala onwe gị site n’ịgwa onyeozi Chineke, “na i kwere
nkwa a na-amaghị ama.” N’ihi gịnị ka Chineke ga-eji wee iwe n’ihi ihe ị kwuru, ma

[*] **5:2** 5:2 Ilu 20:25

bibiekwa ọrụ aka gị? 7 Aga m eme, aga m eme, ma e meghị ya bụ naanị okwu efu.
Ya mere, tụọ egwu Chineke.

*Akụnụba enweghị isi*

8 Ọ bụrụ na ị hụ ebe a na-emegbu ndị ogbenye, na-anapụkwa ha ihe ruru ha site
n'ikpe ikpe na-ezighị ezi na mpaghara obodo a na-achị achị, ya ejula gị anya, n'ihi
na onyeisi ọbụla nwere onye na-atụrụ ya. Ndịisi na-atụ iwu nwekwara ndị kachasị
ha elu. Otu a kwa, ọ dịkwa ndị dị elu karịa ha. 9 Mgbe ihe nnweta si n'ala ubi bara
ụba, ọ na-abara onye ọbụla uru; ọ na-abakwara eze n'onwe ya uru.
10 Onye ọbụla hụrụ ego n'anya, ọ gaghị eju ya afọ.
Onye ọbụla hụrụ akụnụba n'anya adịghị enwe afọ ojuju n'ihe ọbụla.
Nke a bụkwa ihe efu.

11 Akụ na-abawanye,
ndị na-eri ya na-abawanyekwa.
Olee uru ha bara nye onyenwe ha
karịa iji anya ya abụọ na-ele ha?

12 Onye na-arụsị ọrụ ike na-arahụ ụra nke ọma,
ma o riri nri nta ma o rikwaranụ nke dị ukwuu,
ma oke iriju afọ onye ọgaranya
anaghị ekwe ya rahụ ụra.
13 Ahụrụ m ihe ọjọọ ọzọ n'okpuru anyanwụ,
mmadụ debere akụnụba ruo mgbe o wetara ya ihe mgbu,
14 ma akụnụba ndị ahụ bụ ihe furu site n'ọdachi
nke bụ na mgbe ha mụtara ụmụ,
o nwekwaghị ihe fọdụrụ ụmụ ahụ iketa.
15 Dịka mmadụ si gbara ọtọ site n'afọ nne ya bata n'ụwa,
otu a ka anyị ga-esi hapụ ya.
O nweghị ihe ọ ga-ebu pụọ site na ndọgbu niile
ọ dọgburu onwe ya n'ọrụ.
16 Ma nke a bụ ihe ọjọọ nke na-egbu mgbu n'obi.
Mmadụ na-ala dịka o siri bịa.
Gịnị bụ uru ya,
mgbe ọ na-adọgbu onwe ya n'ọrụ nye ifufe?
17 Ụbọchị ndụ ya niile, ọ na-eri ihe n'ọchịchịrị,
site oke mgbagwoju anya, na nsogbu na iwe.
18 Ma achọpụtara m na ọ bụ ihe dị mma na ihe kwesiri omume, ka nwoke rie ihe
ma ṅụọkwa ihe ọṅụṅụ Ka ọ chọtakwa afọ ojuju n'ime ndọgbu niile nke ọrụ ọ ruru
n'okpuru anyanwụ, n'oge mkpụmkpụ ndụ nke Chineke nyere ya. N'ihi na nke a
bụ oke ya. 19 Ọzọkwa, ọ bụrụ na Chineke enye mmadụ akụnụba na ihe nweta, ma
nyekwa ya ike ọ ga-eji kporie ndụ n'ime ihe ndị a, ya nabata nke a dị ka oke ya ma
were ọṅụ rụọ ọrụ ya. Ha bụ onyinye si n'aka Chineke. 20 Ebe ọ bụ na Chineke enyela
ya obi ụtọ, ụbọchị ndụ ya ekwesighị iwetara ya oke echiche.

# 6

1 Ọ dị ihe ọjọọ ọzọ nke m hụrụ n'okpuru anyanwụ, nke na-anyịdo ụmụ mmadụ.
2 Chineke na-enye mmadụ akụnụba, na ihe nnweta, na nsọpụrụ, na-emekwa ka ha
nwee ihe niile ha chọrọ, ma ọ dịghị enye ha ike ịnụ ụtọ ha; ma onye ọzọ na-anụ ụtọ
ha. Nke a bụ ihe efu, bụrụkwa ihe jọgburu onwe ya.

[3] Mmadụ nwere ike mụta narị ụmụ, o nwekwara ike nwee ndụ ogologo ruo agadi,
ma ọ bụrụ na o nweghị ike ịnụ ụtọ akụnụba ya, ọ bụrụkwa na o nwetaghị ụdị olili
ruru ya, ana m asị, na nwa nwụrụ n'afọ* dị mma karịa ya. [4] Ọbịbịa ya e nweghị
isi, n'ọchịchịrị ka ọ na-ala, ọ bụkwa ọchịchịrị ka e kpuchiri aha ya. [5] Ọ bụ ezie na ọ
gaghị ahụ ihe anwụ anya, ọ makwaghị ihe ọbụla, o nwere izuike karịa nwoke ahụ.
[6] A sịkwarị na o biri ndụ puku afọ, okpukpu abụọ, ma ọ nụghị ụtọ akụnụba ya. Ọ
bụghị n'otu ebe ka ha niile na-ala?

[7] Ndọgbu niile mmadụ na-adọgbu onwe ya n'ọrụ bụ ka o rijuo afọ,†
ma o nweghị onye na-enweta ihe na-ezuru ya.
[8] Olee ụzọ onye maara ihe si dị mma karịa onye nzuzu?
Gịnị bụ uru dịịrị onye ogbenye
na ọ maara otu e si akpa ezi agwa n'ihu ndị dị ndụ?‡
[9] Ihe eji anya hụ
ka mma karịa oke ọchịchọ!
Nke a bụkwa ihe efu
na ịchụso ifufe.

[10] Ihe ọbụla dị ugbu a, ka akpọrọ aha na mgbe gara aga.
Amakwaara ihe mmadụ bụ,
mmadụ ọbụla apụghị ịlụso
onye ka ya ike ọgụ.
[11] Okwu na-aba ụba,
nghọta na-adị nta.
O nwere uru nke a bara?

[12] Onye mara ihe dịrị mmadụ mma na ndụ, n'ụbọchị ole na ole nke na-abaghị
uru o nwere ịgabiga ndụ a dịka onyinyo? Onye pụrụ ịgwa ya ihe ga-eme n'okpuru
anyanwụ, mgbe ọ nwụsịrị?

# 7

*Amamihe*

[1] Ezi aha* ka mma karịa mmanụ isi ụtọ.†
Ụbọchị mmadụ nwụrụ ka ụbọchị a mụrụ ya mma.
[2] Ọ kaara gị mma ije n'ebe a na-eru ụjụ
karịa ebe a na-eri na-aṅụ.
N'ihi na ọnwụ dịịrị mmadụ ọbụla;
ndị dị ndụ kwesiri iburu nke a n'obi.
[3] Iru ụjụ ka ịchị ọchị mma,
ihu gbarụrụ agbarụ na-enyere obi aka
[4] Onye maara ihe na-eche echiche banyere ọnwụ,
ma onye nzuzu na-eche naanị banyere ikpori ndụ.
[5] Ọ ka mma ige ntị nye mba onye maara ihe
karịa ịṅa ntị n'abụ ndị na-enweghị uche na-abụ.
[6] Ọchị onye nzuzu
dị ka mkpọtụ nke ogwu na-ere ọkụ na-eme n'okpuru ite.‡
Ihe a bụkwa ihe efu.

[7] Iji anya ike nara mmadụ ihe na-eme ka onye mara ihe ghọọ onye nzuzu,

---

* **6:3** 6:3 Maọbụ, a mụkworo amụkwo † **6:7** 6:7 Ilu 16:26 ‡ **6:8** 6:8 Maọbụ, n'ebe ndị ọzọ nọ * **7:1** 7:1 Ilu 22:1 † **7:1** 7:1 Maọbụ, mmanụ oke ọnụahịa ‡ **7:6** 7:6 Mgbe ogwu na-ere ọkụ, na-eme mkpọtụ, na-asụkwa anwụrụ, nke a adịghị eme ka ahụ ndị na anya ọkụ ya n'oge oyi kporo ọkụ.

iri ngarị na-emerụ obi mmadụ.

8 Ọgwụgwụ ihe ọbụla dị mma karịa mmalite ya!
Ogologo ntachiobi dị mma karịa mpako!
9 Abụla onye na-ewe iwe ọsịịsọ,
n’ihi na iwe bụ oke ndị nzuzu.

10 Asịla, “Gịnị mere ụbọchị gara aga ji dị mma karịa ụbọchị ndị a?”
N’ihi na ọ bụghị amamihe ị jụ ajụjụ dị otu a.

11 Amamihe dịka ihe nketa, bụ ihe dị mma.
Ọ na-abara uru nye ndị na-ahụ anyanwụ anya.
12 Amamihe bụ ndo
dịka ego si bụrụkwa ndo,
ma ụzọ ihe ọmụma ji dị mma karịa bụ nke a:
Amamihe na-echebe ndụ ndị nwere ya.
13 Chee echiche banyere ihe Chineke na-eme.
Mmadụ ọ pụrụ ime ka ọ dịzie adịzie,
bụ ihe Chineke mere ka ọ gbagọọ agbagọ?
14 Mgbe ihe na-agara gị nke ọma, ṅụrịa ọṅụ, n’ihi ọ dịrị gị mma,
ma mgbe mmekpa ahụ batara, mata nke ọma
na Chineke onye na-enye ọnọdụ ọma
makwa ihe banyere ọnọdụ ọjọọ.
Ya mere, o nweghị onye ọbụla nwere ike ịchọpụta
ọdịnihu ya.
15 Ndụ m n’ụwa a bụ ihe efu, ahụla m ihe abụọ ndị a;
onye ezi omume na-anwụ n’ezi omume ya,
ma onye na-emebi iwu na-ebi ogologo ndụ na mmebi iwu ya.
16 N’ihi ya, abụbigala onye ezi omume oke,
emekwala onwe gị onye mabigara ihe oke.
Gịnị mere i ji achọ igbu onwe gị?
17 Abụbigala onye na-emefe ajọ omume oke,
abụkwala onye nzuzu!
Gịnị ka ị ga-eji nwụọ mgbe oge gị na-erubeghị?
18 Ọ dị mma ijide otu
na-esepụghị aka na nke ọzọ,
onye na-atụ egwu Chineke ga-enweta uru n’ime ha abụọ.

19 Amamihe na-eme ka otu onye dị ike
karịa mmadụ iri na-achị otu obodo.

20 Gbaa ụwa niile gburugburu, ọ dịghị otu onye bụ onye ezi omume,
ọ dịghị onye na-eme ihe ziri ezi nke na-adịghị eme mmehie mgbe ọbụla.

21 Egela ntị n’ihe niile ndị mmadụ na-ekwu,
ị pụrụ ịnụ nkọcha nke ohu gị na-akọcha gị.
22 Gị onwe gị maara
na ọtụtụ oge, ị na-akọchakwa ndị ọzọ.
23 Agbalịsiela m ike inwe nghọta. Ekwuru m sị,
“Aga m abụ onye amamihe,”
ma nke a karịrị m.

24 Amamihe adịghị mfe inweta, ọ dị omimi nke ukwuu;
ọ bụ onye pụrụ ịchọpụta ya?
25 A tụgharịrị uche m ka m ghọta,
iledo na ịchọpụta amamihe na atụmatụ otu ihe niile si dị
na ịghọtakwa nzuzu nke dị na ajọ omume
na ịyị ara nke dị na enweghị uche.

26 Achọpụtara m na ọ dị ihe dị ilu karịa ọnwụ,
ihe ahụ bụ nwanyị.
Obi ya dị ka ụgbụ.
Otu a kwa, aka o ji ejikụ gị dị ka ụdọ igwe.
Onye ahụ na-eme ihe na-atọ Chineke ụtọ na-esi n'aka ya gbapụ,
ma ndị mmehie ka ọ na-enwude n'ọnya ya.
27 "Lee, Ihe a ka m chọpụtara," ka onye nkuzi kwuru:
"Site n'ịtụkwasị otu ihe n'elu ibe ya ka m matara isi ihe niile.
28 Mgbe m ka na-achọ
ma achọtaghị m,
n'etiti puku mmadụ ndị ikom, achọtara m otu onye aka ya dị ọcha,
ma ọ dịghị otu nwanyị m chọtara n'etiti ha.
29 Achọpụtara m naanị nke a,
Chineke mere ndị mmadụ ka ha bụrụ ndị ụzọ ha ziri ezi,
ma ha atụgharịala chọrọ ọtụtụ ihe nchepụta gawa."

# 8

1 Onye dị ka onye amamihe?
Onye maara nkọwa ihe?
Amamihe na-enyekwa ihu ya ihe,
na-emekwa ka mgbarụ nke ihu ya gbanwee.

*Rubere eze isi*

2 Asị m, debe iwu eze, n'ihi iyi ị ṅụrụ n'ihu Chineke.* 3 Emela ngwangwa isi n'ihu
eze pụọ. Akwagidela ihe ọjọọ n'ihi na ọ ga-eme ihe masịrị ya. 4 N'ihi na okwu eze
nwere ike ọ dịghị onye pụrụ ịjụ ya, Gịnị ka ị na-eme?
5 Onye na-edebe iwu eze agaghị adaba na nsogbu.
Onye maara ihe na-ama mgbe kwesiri na ụzọ kwesiri ime ihe.
6 Ihe niile nwere oge kwesiri ya, ụzọ e si eme ha dịkwa,
ọ bụ ezie na nsogbu mmadụ dị ukwuu n'ahụ ya.

7 Ebe ọ bụ na o nweghị onye mara ihe na-aga ime,
onye pụrụ ịgwa ibe ya ihe gaje ime?
8 Ọ dịghị onye nwere ike igbochi mmụọ mmadụ† mgbe ọ chọrọ.
Ọ dịghị onye nwere ike igbochi ụbọchị ọnwụ ya.
Dịka o si sie ike izighachi mmadụ azụ n'oge agha,
otu a ka o si sie ike ajọ omume ịtọghapụ ndị na-eme ihe ọjọọ.
9 Ihe ndị a niile ka m hụrụ, mgbe m na-atụgharị uche banyere ihe niile a na-eme
n'okpuru anyanwụ. Mgbe ụfọdụ, mmadụ na-emegide ibe ya si otu a wetara onwe ya
nsogbu. 10 Ọzọkwa, ahụrụ m ebe e liri ndị ajọ omume, ndị na-abata na apụkwa site

* **8:2** 8:2 Ọtụtụ oge, ndị ọchịchị na ndịisi obodo na-aṅụ iyi n'ihu ndị ọkaikpe, ndị ụkọchukwu nakwa ọha obodo, na ha ga-abụ ndị kwesiri ntụkwasị obi n'ije ozi ha. Ọ bụ ya ka a na-ekwu n'ebe. † **8:8** 8:8 Maọbụ, ifufe

n’ebe dị nsọ, a na-etokwa ha n’obodo ebe ha mere ihe ndị a. Nke a bụkwa nnọọ ihe
na-enweghị isi; ihe efu.
11 N’ihi na e nyeghị ntaramahụhụ mmehie mgbe o kwesiri, obi ndị mmadụ na-
ejupụta n’atụmatụ ime mmehie. 12 Onye ajọ omume nwere ike mee narị mmehie
bikwaa ogologo ndụ, ma amara m na ọ ga-adịrị ndị na-atụ egwu Chineke mma karịa,
bụ ndị na-atụ egwu n’ihu Chineke. 13 N’ihi na ndị ajọ omume adịghị atụ egwu
Chineke, ọ gaghị adịrị ha na mma, ụbọchị ndụ ha agaghị agbatịkwa ogologo dịka
onyinyo.
14 Ọ dị ihe ọzọ na-enweghị isi n’ụwa: ndị ezi omume na-anata ntaramahụhụ dịrị
ndị na-emebi iwu. Ndị na-emebi iwu na-anata ụgwọ ọrụ ruru ndị ezi omume. N’ezie,
ihe ndị a niile bụ ihe efu, ha enweghị isi. 15 Ya mere, ana m ekwupụta, na ikpori ezi
ndụ dị mma, n’ihi na ọ dịghị ihe ka mma nye mmadụ n’okpuru anyanwụ, karịa iri,
na ịṅụ, na inwe obi ụtọ. Mgbe ahụ ọ ga-enwe obi ụtọ n’ọrụ ọ na-arụ n’ụbọchị niile
nke Chineke nyere ya n’okpuru anyanwụ.
16 Mgbe m wepụtara obi m ịchọ amamihe na ịghọta ọrụ mmadụ n’okpuru anyanwụ
nke mere na ọ naghị ehi ụra ehihie na abalị, 17 mgbe ahụ ka m chọpụtara ihe Chineke
mere. O nweghị onye pụrụ ịghọta ihe na-aga n’okpuru anyanwụ. Otu ọbụla mmadụ
siri gbalịa o nweghị ike ịchọpụta ihe ọ pụtara. Onye maara ihe pụrụ ị sị na a amatala
ya, ma n’ezie ọ maghị ya.

# 9

*Ihe na-eche mmadụ niile*

1 Ihe ndị a niile ka m tulere nke ọma n’obi m, kpebie na ihe ndị ezi omume na ndị
maara ihe na-eme dị n’aka Chineke, ma ọ dịghị onye maara ihe na-echere ha maọbụ
ịhụnanya maọbụ ịkpọ asị. 2 Ihe niile na-adakwasị mmadụ niile n’otu ụzọ ahụ, ma
onye ezi omume ma onye ajọ omume, ezi mmadụ na onye na-abụghị ezi mmadụ,
onye dị ọcha na onye na-adịghị ọcha, onye na-achụ aja na onye na-adịghị achụ aja.
Dịka ọ dịrị ezi mmadụ,
otu a ka ọ dịrị onye mmehie;
dịka ọ dịrị ndị na-aṅụ iyi,
otu a kwa ka ọ dị nye ndị na-adịghị aṅụ.
3 Nke a bụkwa ihe ọjọọ na-eme n’okpuru anyanwụ. Otu ihe ndakwasị dịrị mmadụ
niile. Ọzọkwa, obi ụmụ mmadụ jupụtara n’ihe ọjọọ na ịyị ara mgbe ha nọ na ndụ,
emesịa ha alakwuru ndị nwụrụ anwụ. 4 Naanị ndị dị ndụ nwere olileanya. Ọ ka
mma ịbụ nkịta dị ndụ karịa ịbụ ọdụm nwụrụ anwụ.
5 N’ihi na ndị dị ndụ maara nke ọma na ha ga-anwụ,
ma ndị nwụrụ anwụ amaghị ihe ọbụla;
ha enwekwaghị ụgwọ ọrụ ọzọ,
n’ihi na ha bụ ndị echefurula echefu.
6 Ịhụnanya ha, na ịkpọ asị ha,
na ekworo ha gabigara mgbe ha nwụrụ.
Ha agaghị enwekwa oke
n’ihe ọbụla na-eme n’okpuru anyanwụ.
7 Ya mere, gaa n’ihu, jiri ọṅụ rie nri gị, jirikwa ọṅụ ṅụọ ihe ọṅụṅụ n’ihi na ọ bụ
ugbu a ka Chineke nabatara ọrụ gị. 8 Yiri akwa dị ọcha mgbe niile, tee mmanụ na-esi
isi ụtọ n’isi gị.* 9 Bie ndụ obi ụtọ, gị na nwunye gị ị hụrụ n’anya, ụbọchị niile nke
ndụ ihe efu gị nke Chineke nyere gị n’okpuru anyanwụ, n’ihi na nke a bụ oke dịịrị
gị na ndụ ndọgbu onwe gị n’ọrụ n’okpuru anyanwụ. 10 Ihe ọbụla ị na-eme, were

* **9:8** 9:8 Ihe e ji maara ndị Juu n’oge mmemme, maọbụ ụbọchị izuike, bụ iyi akwa ọcha na itekwasị mmanụ n’isi ha.

ike gị niile mee ya, n’ihi na ịrụ ọrụ maọbụ iche echiche, maọbụ ihe ọmụma, maọbụ
amamihe adịghị n’ala ndị nwụrụ anwụ. Ebe ahụ kwa ka ị na-aga.
11 Ahụrụ ihe ọzọ n’okpuru anyanwụ,
ọ bụghị ndị nwere ụkwụ ọsọ na-agbata ihe,
ọ bụkwaghị onye sikarịrị ike na-emeri n’agha;
ọ bụghị ndị maara ihe ka nri dịrị,
ọ bụghị ndị nwere nghọta ka akụnụba dịrị,
ọzọkwa, ọ bụghị ndị nka ka amara na-adịrị;
kama ọ bụ mgbe na ihe ndaba na-eme ka ihe ndị a dịrị.
12 Nke ka nke, ọ dịghị mmadụ ọbụla maara mgbe oge ya ga-eru:
Ọ dị ka nnụnụ nke mara n’ọnya,
maọbụ azụ e jidere n’ụgbụ.
Dịka ha, ụmụ mmadụ na-adaba n’ọnya nke ihe ọjọọ
mgbe ha na-atụghị anya ya.

### *Amamihe dị mkpa karịa nzuzu*

13 Ahụkwara m ihe ọzọ n’okpuru anyanwụ, nke a bụ ụdị amamihe nke metụrụ m
n’obi n’ebe ọ dị ukwuu. 14 Ọ dị obodo nke naanị mmadụ ole na ole bi n’ime ya, ma
otu eze dị ike chịịrị ndị agha ya bịa ibuso obodo nta a agha. Ndị agha ya gbara obodo
a gburugburu na-achọ ịkwatu mgbidi ya. 15 Ma ọ dị otu onye ogbenye bi n’obodo
nta ahụ, onye maara ihe, ọ zọpụtara obodo ahụ site n’amamihe ya. Ma o nweghị
onye chetara ihe banyere ya. 16 Nke a mere m ji sị, inwe amamihe bara uru karịa ịdị
ike, ma ọ bụrụ na onye amamihe ahụ bụ onye ogbenye, a ga-eleda ya anya, a gaghị
akpọkwa okwu ya ihe.
17 Okwu nke onye maara ihe na-ekwu na nwayọọ ka a na-anụ,
karịa iti mkpu nke onye na-achị achị n’etiti ndị nzuzu.
18 Amamihe ka ihe agha niile mma,
ma otu onye mmehie na-ala ọtụtụ ezi ihe n’iyi.

## 10

1 Ijiji nwụrụ anwụ ga-eme ka mmanụ isi ụtọ sie isi ọjọọ.
Otu a kwa, nzuzu nta pụrụ ime ka amamihe dị ukwuu ghara inwe nsọpụrụ.
2 Obi onye maara ihe na-eme ka o mee ihe ziri ezi,
ma obi onye nzuzu na-eduba ya na mmehie.
3 Ị ga-ama onye nzuzu site n’ije ụkwụ ya,
n’ihi na o maghị ihe.
Ọ bụladị onye ọbụla na-achọpụta onye nzuzu* ọsịịsọ.
4 Ọ bụrụ na iwe onye ọchịchị ebilie megide gị,
ahapụla ọnọdụ gị,
n’ihi na mmụọ dị nwayọọ ga-eme ka mmehie ukwu dị iche iche dajụọ.

5 Ọ dịkwa ihe ọjọọ ọzọ m hụrụ n’okpuru anyanwụ,
dịka njehie nke ndị eze na ndị na-achị achị na-ejehie.
6 Ahụrụ m ka ndị nzuzu na-enweta ọkwa dị elu,
ma ndị ọgaranya adịghị enweta ọnọdụ ruuru ha.
7 Ahụla m ka ohu na-agba ịnyịnya,
ma ụmụ eze ji ụkwụ na-aga dịka ụmụ ohu.

8 Onye gwuru olulu ga-adaba n’ime ya!

* **10:3** 10:3 Ilu 13:16; Ilu 18:2

Onye na-etida mgbidi ka agwọ ga-atagbu.
9 Onye na-arụ ọrụ n’ebe a na-awa nkume ka nkume ga-adakwasị.
Onye na-awa nkụ nọ n’ize ndụ site na ha.

10 Ọ bụrụ na anyụike adịghị nkọ,
ọ bụrụkwa na-amụghị ihu ya amụ,
a ga-etinye ike karịa,
ma ịma eme ihe na-eme ka ihe gazie agazi.

11 Ọ bụrụ na agwọ ataa mmadụ tupu e kechie ya ọnụ,
ọ dịkwaghị uru ọ bara na e kechiri ya ọnụ.

12 Okwu onye maara ihe na-ejupụta n’amara,
ma okwu onye nzuzu na-eduba ya n’ịla n’iyi
13 N’ihi na mmalite okwu ya bụ nzuzu,
ọgwụgwụ okwu ya bụkwa naanị mmebi iwu na ịyị ara.
14 Onye nzuzu na-ekwu ọtụtụ okwu.

Ma o nweghị onye ma ihe na-aga ime,
onye pụrụ ịgwa ya ihe gaje ime mgbe ọ nwụrụ?

15 Ọrụ nke ndị nzuzu na-agwụ ya ike,
ha makwaghị ụzọ ijeru obodo.

16 Ahụhụ ga-adịrị ala nke eze ya bụ nwantakịrị,
nke ndị na-achị achị bụ ndị na-akpọ oriri n’ụtụtụ.
17 Ngọzị na-adịrị ala ahụ nke eze ya bụ onye a na-asọpụrụ,
nke ụmụ eze ya na-eri ihe mgbe o kwesiri n’ihi inweta ike,
ọ bụghị maka ịṅụbiga mmanya oke.

18 Ọ bụ umengwụ na-eme ka ụlọ hie mmiri;
ọ bụkwa umengwụ na-eme ka elu ụlọ malite ize eze.

19 Ịkpọ oriri na-eweta ọnụ ọchị,
mmanya na-enye obi ụtọ,
ma ego bụ ọsịsa nye ihe niile.

20 Akọchala eze, ọ bụladị n’echiche obi gị†;
maọbụ bụọ ọgaranya ọnụ n’ime ụlọ ndina gị,
n’ihi na anụ ufe nọ n’elu nwere ike buru okwu gị
nwa nnụnụ nwere nku ga-akọ ihe i kwuru.

# 11

*Ịgbasapụ aka*

1 Gbasapụ aka gị n’inye onyinye
n’ihi na mgbe ọtụtụ ụbọchị gasịrị ị ga-anata ụgwọ ọrụ gị.
2 Kee akụ gị ụzọ asaa maọbụ ụzọ asatọ
n’ihi na ị maghị ụdị ihe ndaba ọjọọ nwere ike ịbịakwasị gị n’obodo.

---
† **10:20** 10:20 Ọpụ 22:28; Ọrụ 23:5

3 Mgbe eluigwe rujiri,
mmiri ga-ezo;
mgbe osisi dara, maọbụ n’ugwu maọbụ na ndịda,
ebe ahụ ka ọ na-atọgbọ.
4 Onye na-ele ikuku anya agaghị akụ mkpụrụ ọbụla,
onye na-ele igwe ojii anya agaghị ewe ihe ubi.

5 Dịka mmadụ na-apụghị ịmata ụzọ ikuku si aga
maọbụ otu ndụ ọhụrụ si ebido n’ime afọ nwanyị dị ime,
otu a ka o si dịrị ma mmadụ apụghị ịghọta ọrụ Chineke,
onye mere ihe niile.

6 Ghaa mkpụrụ gị n’ụtụtụ,
esepụkwala aka n’anyasị,
n’ihi na ị maghị nke ga-eto,
maọbụ nke a maọbụ nke ọzọ,
ha niile nwere ike too nke ọma.

### *Cheta Chineke n’okorobịa gị*

7 Ìhè dị ụtọ,
ọ na-amasịkwa anya ịhụ ìhè anyanwụ.
8 Ọ bụrụ na mmadụ adị ndụ ọtụtụ afọ,
ya ṅụrịa n’ime ihe niile,
ma ya cheta ụbọchị ọchịchịrị
ga-adị ọtụtụ.
Ihe niile ndị na-abịa bụ ihe efu.

9 Nwa okorobịa, ọ bụ ihe oke ọṅụ na ị bụ okorobịa.
Ya mere, ka obi gị nye gị ọṅụ n’ụbọchị niile nke okorobịa gị.*
Mee ihe niile ị chọrọ ime;
gbasookwa ihe niile nke anya gị na-ahụ.
Kama, ghọtakwa nke a,
na ị ghaghị ịza ajụjụ n’ihu Chineke n’ihi ihe niile i mere.
10 Ya mere, wezuga nchegbu site n’obi,†
wezugakwa nsogbu nke ahụ gị,
n’ihi na okorobịa na ịdị ike bụ ihe efu.

## 12

1 Ya mere, cheta Onye kere gị
mgbe ị ka bụ okorobịa,
tupu ụbọchị ọjọọ ndị ahụ abịa,
na mgbe afọ aka abịarubeghị
mgbe ị ga-asị, “Ha anaghị atọkwa m ụtọ.”
2 Tupu anyanwụ na ìhè,
ọnwa na kpakpando ga-agba ọchịchịrị,
na nlọghachi igwe ojii mgbe mmiri zosiri.
3 Mgbe ndị na-echebe ụlọ ga-ama jijiji,
mgbe ndị dimkpa nwoke ga-ehulata,
mgbe ndị na-akwọ ihe kwụsịrị maka ha dị ole na ole,

* **11:9** 11:9 Akw 3:27 † **11:10** 11:10 2Tm 2:22.

mgbe ndị na-elepụ anya site n’oghere ga-ebido ịgba ọchịchịrị,
4 mgbe e mechiri ọnụ ụzọ nke pụrụ n’okporoụzọ,
mgbe olu ịkwọ nri ga-adị ala,
mgbe ụda olu abụ ụmụ nnụnụ ga-akpọte ndị mmadụ,
ma abụ ha niile na-ala ala,
5 mgbe ndị mmadụ ga-atụ egwu ebe dị elu;
na ihe egwu nke okporoụzọ,
mgbe osisi alụmọnd ga-ama ifuru
mgbe ụkpana ga na-adọkpụ onwe ya n’ụzọ,
agụụ ihe ọbụla ga-akwụsịkwa.
Mgbe ahụ, ndị mmadụ ga-ala ụlọ ebighị ebi ya,
ndị na-akwa akwa ga na-agagharị n’okporoụzọ niile.

6 E, cheta ya, tupu e gbubie ụdọ ọlaọcha ahụ,
tupu e tiwaa ọkwa ọlaedo,
tupu ite adawaa n’isi iyi,
tupu e tijie ụkwụ igwe olulu mmiri.
7 Mgbe ahụ, anụ ahụ anyị ga-alaghachi n’aja ebe o si pụta;*
mmụọ† anyị ga-alaghachikwuru Chineke onye nyere ya.

8 “Ihe efu! Ihe efu!” ka onye ozizi kwuru.
“Ihe niile bụ ihe efu!”

### *Nchịkọta okwu niile*

9 Ọ bụghị naanị n’onye ozizi ahụ bụ onye maara ihe, o jegharịrị na-ezi ndị mmadụ
ihe ọ maara. Ọ tụgharịrị uche chọpụta ọtụtụ ilu, detuokwa ha n’usoro. 10 Onye ozizi
chọpụtara okwu ndị dabanyere n’usoro, ihe o depụtara bụ ihe ziri ezi na eziokwu.
11 Okwu ọnụ nke onye maara ihe dị ka ndụdụ e ji achụ ehi. Nchịkọta okwu
amamihe ndị a dị ka ǹtu a kumiri nke ọma, nke onye na-azụ atụrụ nyere. 12 Ma
nwa m nwoke lezie anya, atụkwasịla ihe ọzọ n’elu ihe ndị a.

Akwụkwọ a na-ede ede enweghị ọgwụgwụ, ọtụtụ mmụta na-agwụ ike.
13 Ugbu a anụla ihe ndị a niile,
ma nụrụ ihe bụ nkwubi okwu:
Tụọ egwu Chineke, debekwa iwu ya niile,
n’ihi na nke a bụ ọrụ niile dịrị mmadụ.
14 N’ihi na Chineke ga-ekpe ọrụ ọbụla ikpe,
ya na ihe nzuzo anyị niile,
ma ha dị mma ma ha dị njọ.

* **12:7** 12:7 Jen 3:19; Job 34:15; Abụ 90:3 † **12:7** 12:7 Ekl 3:21

# Abụ nke Abụ

1 Abụ nke abụ nke Solomọn.

*Onye a hụrụ n'anya*
2 Ya were nsusu niile nke ọnụ ya susuo m ọnụ,
n'ihi na ịhụnanya gị dị ụtọ karịa mmanya.
3 Mmanụ otite gị niile na-esi isi ọma,
aha gị dịka mmanụ isi ụtọ awụpụtara awụpụta,
ọ bụghị ihe ịtụnanya na ụmụ agbọghọ hụrụ gị n'anya.
4 Kpọrọ m, ka mụ na gị soro, ka anyị mee ngwangwa.
Ka eze kpọbata m n'ime ụlọ ya.
*Ndị Enyi*
Anyị ga-aṅụrị ọṅụ nwekwa obi ụtọ n'ime gị.
Anyị ga-eto ịhụnanya gị karịa mmanya.
*Onye a hụrụ n'anya*
Lee n'izi ezi ka ha n'ahụ gị n'anya nke ukwuu.

5 Ana m eji nji ma a maara m mma ile anya,
unu ụmụ agbọghọ Jerusalem.
Adị m nji dịka ụlọ ikwu nke Keda*
dịka akwa mgbochi dị n'ụlọ Solomọn.
6 Unu elekwasịla m anya, maka na m na-eji nji.
Ọ bụ anwụ gbajiri m.
Ụmụnne m ndị ikom were iwe megide m,
zipụ m n'ezi ilekọta ubi vaịnị anyị,
ma ubi vaịnị nke m ka m na-elekọtaghị.
7 Gwa m, gị onye m hụrụ n'anya,
ebee ka anụ ụlọ gị na-ata nri?
Ebee ka atụrụ gị na-ezu ike n'etiti ehihie?
N'ihi gị ka m ga-eji dịka nwanyị e kpuchiri ihu
n'etiti igwe anụ ụlọ ndị enyi gị.
*Ndị Enyi*
8 Ọ bụrụ na ị maghị, gị nwanyị kachasị mma,
soro nzọ ụkwụ igwe atụrụ
meekwa ka ụmụ ewu gị taa ahịhịa
dị n'akụkụ ụlọ ikwu ndị na-elekọta atụrụ.
*Onye hụrụ ibe ya n'anya*
9 Ana m atụnyere gị, gị onye m hụrụ n'anya dịka nne ịnyịnya
e kenyere n'otu ụgbọ agha Fero.
10 Agba nti gị ka e jiri ọlantị chọọ mma,
olu gị kwa ka e jiri nkume dị oke ọnụahịa e doro n'ahịrị chọọ mma.
11 Anyị ga-emere gị ọlantị dị iche iche nke ọlaedo,
nke e ji ọlaọcha chọọ mma.
*Onye a hụrụ n'anya*
12 Mgbe eze nọ na tebul ya,

---
* **1:5** 1:5 Ndị Keda bụ otu ebo n'etiti ndị Arab, obodo ha dị na ndịda ọdịda anyanwụ Edọm. Ha na-ebi n'ụlọ ikwu e ji ajị ewu ojii wuo

mmanụ isi ọma m tere sijuru ebe niile.
13 Onye m hụrụ dị m ka ụda máá† e kechiri n'akpa
nke dị n'etiti ara m abụọ.
14 Onye m hụrụ n'anya dịrị m ka ụyọkọ ukwu okoko henna‡
nke sitere n'ogige ubi vaịnị En-Gedi.§

*Onye hụrụ ibe ya n'anya*

15 N'ezie, ị mara mma, onye m hụrụ n'anya.
Leenụ ka ị si maa mma!
Anya gị dịka nduru.

*Onye a hụrụ n'anya*

16 Onye m hụrụ n'anya, ị mara mma nwoke.
E, ị mara mma.
Ebe ndina anyị dịka ahịhịa ndụ.

*Onye hụrụ ibe ya n'anya*

17 Ogidi nke ụlọ anyị bụ osisi sida,
ntuhie ya bụkwa osisi fịa.

# 2

*Onye a hụrụ n'anya*

1 Abụ m okoko osisi ọhịa nke Sharọn,*
na okoko lili nke na-epu na ndagwurugwu.

*Onye hụrụ ibe ya n'anya*

2 E, dịka okoko lili nke na-epu n'etiti ogwu,
otu a ka ọmasịrị m dị n'etiti ụmụ agbọghọ ndị ọzọ.

*Onye a hụrụ n'anya*

3 Onye m hụrụ n'anya dịka osisi apụl, n'etiti osisi na-amị mkpụrụ n'ọhịa,
mgbe e ji ya tụnyere ụmụ okorobịa ndị ọzọ.
Ọ na-enye m obi ụtọ ịnọ n'okpuru ndo ya,
mkpụrụ ya dịkwa ụtọ n'ọnụ.
4 Ka ọ kpọrọ m jee n'ụlọ oriri,
ka ọkọlọtọ ya n'ekpuchi m bụrụ ịhụnanya.
5 Were mkpụrụ osisi a mịkpọrọ amịkpọ gbaa m ume;
werekwa mkpụrụ osisi apụl mee ka ahụ m dị ike,
n'ihi na abụ m onye ịhụnanya mere ka ike gwụsịa.
6 Aka ekpe ya dị n'okpuru isi m,
aka nri ya na-ejikụ m.
7 Unu ụmụ agbọghọ Jerusalem,
eji m nne mgbada niile na nne ele ọhịa niile na-agba unu iyi sị:
Unu akpọtela maọbụ mee ka ịhụnanya teta,
ruo mgbe ọ masịrị ya.

8 Gee ntị! Onye m hụrụ n'anya!
Lee ya ka ọ na-abịa,
na-amali elu n'elu ugwu niile,
na-amafekwa n'elu ugwu nta niile.

---

† **1:13** 1:13 Ụda máá bụ eso e ji eme ihe otite na-esi isi ụtọ. A na-ewepụta eso ndị a n'osisi Balsam nke na-eto n'obodo Kush, n'etiti ọwụwa anyanwụ nakwa India. ‡ **1:14** 1:14 Okoko osisi henna bụ ahịhịa isi ọma a na-eji emepụta senti. § **1:14** 1:14 Bụ odo mmiri dị n'ọdịda osimiri nwụrụ anwụ. Ọtụtụ osisi nke a na-esi na ha enweta eso na-esi isi ọma, jupụtara n'ebe ahụ. * **2:1** 2:1 Okoko osisi a bụ otu n'ime okoko osisi ndị na-epu n'ọkọchị, na ndịda akụkụ osimiri Kamel Aịz 35:1-2

9 Onye m hụrụ n’anya yiri mgbada, o yiri nwa ele.
Lee ya ka ọ na-eguzo n’azụ mgbidi anyị,
ọ na-esikwa na oghereikuku
na n’oghere dị ya na-elebata anya.
10 Onye m hụrụ n’anya gwara m okwu sị m,
“Bilie, onye ihe ya na-atọ m ụtọ,
onye m mara mma, soro m.
11 Lee, oge oyi agafeela,
udu mmiri agabigakwala.
12 Okoko osisi epupụtala n’ala;
oge eji agụ egwu eruokwala,
a na-anụ abụ nduru
n’ala anyị niile.
13 Mkpụrụ osisi fiig ebidola ịmịpụta mkpụrụ ya nke mbụ,†
isi osisi vaịnị na-amịpụta okoko na-esiju ebe niile.
Bilie, ma bịa, ọmasịrị m.
Onye nke m mara mma! Bịa ka i sooro m.”

*Onye hụrụ ibe ya n’anya*

14 Nduru m nọ n’ọgba nkume,
n’ebe nzuzo nke akụkụ ugwu,
gosi m ihu gị,
mee ka m nụ olu gị,
n’ihi na olu gị dị ụtọ,
ihu gị makwara mma.
15 Jidenụ nkịta ọhịa,
ụmụ nkịta ọhịa niile
na-emebiri anyị ubi,
ọ bụladị ubi vaịnị anyị na-agbawa okoko.

*Onye a hụrụ n’anya*

16 Onye m hụrụ n’anya bụ nke m, mụ onwe m bụkwa nke ya.
Ọ na-azụ igwe atụrụ ya n’etiti okoko urodi,
17 tutu chi ụtụtụ abọọ
mgbe onyinyo niile na-agabigakwa.
Tụgharịa, onye m hụrụ n’anya,
dị ka mgbada
maọbụ nwa ele
nke nọ n’elu ugwu.

# 3

1 Achọrọ m onye m hụrụ n’anya
n’elu ihe ndina m n’abalị, ma ahụghị m ya.
Ebiliri m chọọ ya ma ahụghị m ya.
2 Ugbu a, aga m ebili pụọ jeghariạ n’ama niile
na n’okporoụzọ niile nke obodo ịchọ ya,
m ga-achọgharị onye m hụrụ n’anya.
Ya mere, achọrọ m ya ma ahụghị m ya.
3 Ndị nche na-eche obodo* hụrụ m,

---

† **2:13** 2:13 Osisi fiig na-amị mkpụrụ ugboro abụọ n’afọ n’Izrel. Ọ bụ n’oge ọkọchị ka ọ kachasị amị mkpụrụ, amaokwu a na-ekwu banyere owuwe ihe ubi nke mkpụrụ fiig mbụ. * **3:3** 3:3 Aịz 21:11-12

mgbe ha na-agagharị n’obodo,
ma ajụrụ m ha sị, “Biko, unu hụrụ onye ahụ m hụrụ n’anya?”
4 Ọ dịghị anya mgbe m gafere ha,
achọtara m onye m hụrụ n’anya,
ejidesiri m ya ike, ahapụghị m ya aka
tutu m duta ya n’ụlọ nne m,
n’ime ụlọ nwanyị tụrụ ime m.
5 Unu ụmụ agbọghọ Jerusalem,
eji m nne mgbada niile na nne ele ọhịa gbaa unu iyi sị,
unu akpọtela, maọbụ mee ka ịhụnanya teta
ruo mgbe o masịrị ya.

6 Onye bụ nke a na-esi n’ọzara na-abịa
dịka anwụrụ ọkụ,
nke tere mmanụ máá na ụda na-esi isi ụtọ,
ụda nke ndị ahịa na-ere?
7 Lee ọ bụ ụgbọ Solomọn.
Iri mmadụ isii ndị ọka agha,
ndị a maara aha ha karịsịa n’ala Izrel sokwa ya.
8 Ha niile ji mma agha;
ha bụ ndị a zụrụ nke ọma ibu agha.
Mma agha onye ọbụla dịkwa n’ukwu ya,
ịdị njikere maka ihe egwu abalị.
9 Eze Solomọn rụrụ onwe ya ụgbọ a
nke o ji osisi sitere Lebanọn rụọ.
10 Ogidi ya ka o ji ọlaọcha mee;
ala ya bụkwa ọlaedo.
Ebe ịnọdụ ọdụ ya ka e ji akwa odo odo kpaa,
e ji ịhụnanya dozie ebe ime ya.
Ndị inyom Jerusalem, 11 pụtanụ,
bịa hụrụ, unu ụmụ agbọghọ Zayọn,
bịanụ ka unu hụ Solomọn bụ eze;
lee ụdị okpueze nne ya kpunyere ya n’isi,
n’ụbọchị agbamakwụkwọ ya,
n’ụbọchị obi ụtọ na ịṅụrị ọṅụ ya.

# 4

*Onye hụrụ ibe ya n’anya*

1 Leenụ ka i si maa mma, onye m hụrụ n’anya,
e, ị mara mma![*]
Anya gị abụọ nke dị n’azụ akwa mkpuchi ihu gị dị ka nduru.
Agịrị isi gị dị ka igwe ewu[†]
nke na-arịda n’akụkụ ugwu Gilead.
2 Eze gị dị ka igwe atụrụ a ka kpachapụrụ ajị ha ọhụrụ,
nke si n’ebe a sapụrụ ha ahụ na-arịpụta.
Nke ọbụla chi ụmụ abụọ,
ọ dịghịkwa nke gba aka nwa n’etiti ha.
3 Egbugbere ọnụ gị abụọ dị ka ogho uhie.
Ọnụ gị dị mma ile anya.

---

[*] **4:1** 4:1 Abk 1:15; 5:12 [†] **4:1** 4:1 Igwe ewu ndị a dị ojii.

Agba nti gị abụọ nke dị n’ime akwa mkpuchi gị
dị ka pomegranet‡ e kere abụọ.
4 Olu gị dị ka ụlọ elu Devid,
nke e wuziri nke ọma.
E konyere puku ọta na ya,
ha niile bụ ọta nke ndị ọka n’agha.§
5 Ara gị abụọ dị ka ụmụ mgbada abụọ,
nke otu nne mụrụ n’otu oge,
ndị na-ata nri n’etiti okoko urodi.
6 Tutu chi ụtụtụ abọọ,
tutu onyinyo agbalaga,
aga m aga n’ugwu ụda máá
na n’ugwu insensi.
7 Ị mara mma nke ukwuu, onye m hụrụ n’anya,
ọ dịkwaghị ntụpọ* ọbụla dị gị n’ahụ.

8 Si na Lebanọn soro m, nwunye m lụrụ ọhụrụ.
Si na Lebanọn bịa soro m;
rịdata site n’ugwu Amana,
n’ugwu Senia, na n’ugwu Hemon,
site n’ọgba ọdụm
n’ugwu niile ebe agụ bi.
9 I riela m obi, nwanne m nwanyị, nwunye ọhụrụ m;
i riela m obi,
i werela ile anya gị
na ihe olu i yi rie obi m.
10 Lee ka ịhụnanya gị si dị ụtọ, nwanne m nwanyị, nwunye ọhụrụ m.
Lee ka ịhụnanya gị si dị mma nke ukwuu karịa mmanya,
isisi ụtọ nke mmanụ otite gị
na-esi isi ọma karịa mmanụ ụda ọbụla.
11 Egbugbere ọnụ gị dị ụtọ dịka mmanụ aṅụ dị, nwunye ọhụrụ m,
mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ dị n’okpuru ire gị,
isisi ụtọ nke uwe gị
na-esi ka Lebanọn
12 Ubi a gbara ogige, ma gbachiekwa, ka nwanne m nwanyị, nwunye ọhụrụ bụ.
Ị bụ isi iyi nke a gbara ogige, rachiekwa.†
13 Ihe ọkụkọ dị n’ime ogige gị bụ pomegranet
nwere ezi mkpụrụ dị oke ọnụahịa,
nke nwere henna na naad,
14 naad na safron,
kalamus na sinamọn,
na osisi nke ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ,
na ụda máá, na aloos
na ụda kachasị mma dị iche iche na-esi isi ụtọ.
15 I bụ isi iyi nke ubi a gbara ogige,
olulu mmiri dị ndụ

‡ **4:3** 4:3 Pomegranet na-acha uhie uhie. § **4:4** 4:4 Neh 3:19 * **4:7** 4:7 Efe 5:27 † **4:12** 4:12 I ji debe olulu mmiri ọcha, ka ọ ghara ịgwọtọ, a na-emere ya okwuchi. Ma ọ bụrụ isi iyi, a na-akpa ihe mgbochi ka ndị mmadụ ghara iru n’ebe elu elu ya mgbe ha na-ekute mmiri.

nke si na Lebanọn asọdata.‡

*Onye a hụrụ n’anya*

16 Teta n’ụra gị ifufe si n’ugwu;§
bịakwa gị ifufe si na ndịda,
fekwasị ubi m a gbara ogige,
ka isisi ụda ya dị ụtọ fesaa ebe niile,
ka onye m hụrụ n’anya bịa n’ubi ya a gbara ogige,
ka ọ bịa rie mkpụrụ dị iche iche dị n’ime ya nke dị oke ọnụahịa.

# 5

*Onye hụrụ ibe ya n’anya*

1 Abatala m n’ubi m a gbara ogige, nwanne m nwanyị, nwunye ọhụrụ m.
Achịkọtala m máá ya na ụda m,
arachakwala m mmanụ aṅụ m na ugbugbo mmanụ aṅụ.
Aṅụkwala m mmiri ara ehi na mmanya m.

*Ndị Enyi*

Rie, ṅụọkwa, unu ndị bụ enyi;
ṅụjuo afọ, unu ndị hụrụ onwe unu n’anya.

*Onye a hụrụ n’anya*

2 A rahụrụ m ụra, ma obi m mụ anya.
Gee ntị, onye ahụ m hụrụ n’anya na-akụ aka n’ibo ọnụ ụzọ.*
“Megheere m ụzọ, nwanne m nwanyị, onye m hụrụ n’anya,
nduru m, onye na-enweghị ntụpọ.
Igirigi ezokwasịla m n’isi,
agịrị isi m jupụtara na mmiri nke abalị.”
3 Eyipụlarị m uwe m.
Ọ bụ m yirikwa ha ọzọ?
Asaala m ụkwụ m,
aga m eme ka ha ruo unyi ọzọ?
4 Onye m hụrụ n’anya gbatịrị aka ya imeghe ụzọ,
mgbe ahụ, obi m chọsikwara ya ike.
5 Mụ onwe m biliri imeghere onye m hụrụ n’anya ụzọ,
ma aka m abụọ jupụtakwara na mmanụ máá,
mmanụ máá si na mkpịsịaka m niile na-atapụsi,
n’elu ihe mkpọchi nke ibo.
6 Mgbe m megheere onye m hụrụ n’anya ụzọ,
ma lee, ọ nọkwaghị ya, ọ laala.
Obi fepụrụ m mgbe ọ pụwara.
Elegharịrị m anya chọọ ya ma ahụghị m ya ebe ọbụla.
Akpọrọ m ya oku ma ọ zaghị.
7 Ndị nche hụrụ m
mgbe ha na-agagharị n’obodo,†
ha tiri m ihe merụọ m ahụ.
Ndị nche mgbidi obodo
napụrụ m akwa mkpuchi m.

‡ **4:15** 4:15 Mgbe mkpụrụ mmiri nke kpuchiri ugwu Lebanọn na-agbaze, mmiri ya na-asọdata sọbanye n’ime ọtụtụ isi iyi, mee ka isi iyi ndị ahụ ghara ịta ata. § **4:16** 4:16 Ọ bụ ifufe na-esite na mpaghara ugwu, nke na-efe nwayọọ na-eme ka mkpụrụ dị ọhụrụ, maa mma. Ma nke na-esite na ndịda, na-ebute okpomọkụ na-eme ka mkpụrụ ndị a chaa nke ọma. Ikuku abụọ ndị a bụ ihe na-ekusasi ezi isisi nke okoko ahịhịa dị n’ubi a gbara ogige. * **5:2** 5:2 Mkp 3:20 † **5:7** 5:7 Abk 3:3

8 Unu ụmụ agbọghọ Jerusalem, ana m agba unu iyi,
ọ bụrụ na unu ahụ onye m hụrụ n'anya,
gịnị ka unu ga-agwa ya?
Gwa ya na abụ m onye ịhụnanya mere ka ike gwụchasịa n'ahụ.

*Ndị Enyi*

9 Gị nwanyị kachasị mma,
olee otu onye ị hụrụ n'anya si dị mma karịa ndị ọzọ?
Olee otu onye ị hụrụ n'anya si dị mma karịa ndị ọzọ
nke i ji enye anyị iwu dị otu a?

*Onye a hụrụ n'anya*

10 Onye m hụrụ n'anya chapụrụ achapụ, dị mma ile anya.
Ọ pụrụ iche n'etiti puku ndị nwoke iri.
11 Isi ya dịka ọlaedo a nụchara anụcha,
agịrị isi ya na-eruda dịka igu nkwụ,
na-ejikwa nji dịka ugolọma.
12 Anya ya abụọ dịka nduru‡
nọ n'akụkụ mmiri iyi
nke e jiri mmiri ara ehi sachaa,
dịka nkume dị oke ọnụahịa e doro n'ahịrị.
13 Nti ya abụọ dị ka ihe ndina ụda§
nke jupụtara na mmanụ isi ụtọ.
Egbugbere ọnụ ya dị ka okoko urodi,
nke na-agbụsị mmanụ máá.
14 Aka ya abụọ dị ka mkpara ọlaedo a kpụziri akpụzi,
nke a hịọnyere nkume oke ọnụahịa beril n'ime ya.
Ahụ ya na-akwọ mụrụmụrụ dịka ọdụ
nke e ji nkume dị oke ọnụahịa safaia chọọ mma.
15 Ogwe ụkwụ ya abụọ dị ka ogidi e ji nkume mabụl kpụọ,
nke e ji ọlaedo a ṅụchara anụcha tọọ ntọala ha.
Ụdịdị ya dị ka Lebanọn,
dịkwa oke ọnụ dịka osisi sida ya.
16 Ọnụ ya bụ ihe tọkarịsịrị ụtọ n'onwe ya,
ihe niile banyere ya dị mma n'ile anya.
Unu ụmụ agbọghọ Jerusalem,
onye dị otu a bụ onye ahụ m hụrụ n'anya, ọ bụkwa enyi m.

# 6

*Ndị Enyi*

1 Gị onye mara mma n'etiti ndị inyom,
ebee ka onye ị hụrụ n'anya jere?
Olee ụzọ o sitere?
Ka anyị soro gị chọọ ya.

*Onye a hụrụ n'anya*

2 Ọ gara n'ubi ya a gbara ogige,
n'ebe ihe ndina ya nke e fesara ụda na-esi isi ụtọ,
ijeghari n'etiti okoko urodi,
na ịchịkọta okoko lili.
3 Abụ m nke onye m hụrụ n'anya, onye m hụrụ n'anya bụkwa nke m.

‡ **5:12** 5:12 Abk 1:15; 4:1 § **5:13** 5:13 Ụda nwere isisi ọma nke na-eme mmadụ obi ụtọ.

Ọ na-azụ igwe atụrụ ya n’etiti okoko urodi.

*Onye hụrụ ibe ya n’anya*

4 Onye m hụrụ n’anya, ị mara mma dịka Tịaza, ị mara mma nke ukwu dịka Jerusalem,
ị dị ebube ka usuu ndị agha ji ọkọlọtọ.*
Ị dị mma ile anya dịka Jerusalem;
Ị dị ka ndị agha bu ọkọlọtọ.
5 Wepụ anya gị n’ebe m nọ,
n’ihi na i jirila anya gị dọta m.
Agịrị isi gị dị ka igwe ewu†
nke na-arịdata site n’ugwu Gilead.
6 Eze gị dị ka igwe atụrụ
nke si n’ebe a sapụrụ ha ahụ na-arịpụta.
Nke ọbụla chi ụmụ abụọ,
ọ dịghịkwa nke nwa ya furu efu n’etiti ha.
7 Agba ntị gị abụọ nke dị n’ime akwa mkpuchi gị
dị ka pomegranet e kere abụọ.
8 E nwere ike nwee iri eze nwanyị isii,
na iri ndị iko nwanyị asatọ,
na ọtụtụ ụmụ agbọghọ a na-apụghị ịgụta ọnụ,
9 ma gị onwe gị, nduru m, ezigbo m zuruoke, pụrụ iche n’etiti ha niile.
Naanị otu nwanyị nne ya nwere,
ọ masịrị onye mụrụ ya.
Ụmụ agbọghọ hụrụ ya kpọọ ya onye a gọziri agọzi,
ndị eze nwanyị na ndị iko nwanyị tooro ya.

*Ndị Enyi*

10 Onye bụ onye a, pụtara ihe dịka chi ọbụbọ,
nke mara mma dịka ọnwa, na-enwu dịka anyanwụ,
dị ebube ka dị usuu kpakpando na-aga n’ahịrị n’ahịrị?

*Onye hụrụ ibe ya n’anya*

11 Agara m n’ubi a gbara ogige ebe a kụrụ mkpụrụ osisi,
ile ihe na-etopụta ọhụrụ na ndagwurugwu,
ilekwa akwụkwọ ndụ ọhụrụ ndị na-epupụta n’osisi vaịnị,
na ị mata ma n’osisi pomegranet ọ mara ifuru.
12 Tupu m mata ebe m nọ,
agụ nke mkpụrụobi m adọtala m tinye n’etiti ụgbọ agha nke ndị eze ala m.

*Ndị Enyi*

13 Laghachi azụ, gị onye Shulam, laghachi azụ;
laghachi azụ, e, laghachi azụ ka anyị lee gị anya.

*Onye hụrụ ibe ya n’anya*

Maka gịnị ka unu ga-eji lee onye Shulam anya
dịka ọ bụ ite egwu ndị Mahanaim?

# 7

1 Lee ka ụkwụ gị si dị mma n’ime akpụkpọụkwụ
gị ada nwa eze.
Apata ụkwụ gị abụọ dị ezi mma dịka nkume oke ọnụahịa,
ọrụ aka nke ezigbo onye ọkwa ǹka.

---

* **6:4** 6:4 Tịaza bụ obodo ochie eze Jeroboam họpụtara ka ọ bụrụ isi obodo ọchịchị nke alaeze ugwu. Ọ bụ na senchuri nke iri (Tupu a mụọ Kraịst). 1Ez 14:17; 1Ez 15:21,33; 16:6,8,15,23 † **6:5** 6:5 Abk 4:2

2 Otubo gị mara mma
dịka iko nke a gbajuru mmanya.
Ukwu gị dị ka ukwu ọka
e ji okoko urodi gbaa gburugburu.
3 Ara gị abụọ dị ka ụmụ mgbada abụọ
nke otu nne mụrụ n’otu oge.
4 Olu gị guzo kwem dị ka ụlọ elu e ji ọdụ wuo.
Anya gị abụọ dị ka ọdọ mmiri Heshbọn
nke dị n’akụkụ ọnụ ụzọ ama Bat-Rabim.
Imi gị mara mma dị ka ụlọ elu Lebanọn
nke chere Damaskọs ihu.
5 Isi gị guzo n’ahụ gị ka ugwu Kamel.
Agịrị isi nke isi gị dịkwa ogho odo odo.*
Ịma mma nke agịrị isi gị emela eze onye a dọtara n’agha.
6 Lee ka i si maa mma nke ukwuu, n’ezie, ị mara mma.
Ị dịkwa ụtọ nke ukwuu, gị onye m hụrụ n’anya.
7 Ị dị ogologo dịka osisi nkwụ;
ara gị abụọ dịkwa ka ụyọkọ mkpụrụ osisi.
8 Ekwuru m sị, “Aga m arịgoro elu osisi nkwụ ahụ,
jidekwa mkpụrụ ya aka.”
Ugbu a, ka ara gị abụọ dịkwa ka ụyọkọ mkpụrụ vaịnị,
ka isisi nke iku ume gị dịkwa ka mkpụrụ osisi apụl,
9 ka okpo ọnụ gị dịka mmanya makarịsịrị na mma.

*Onye a hụrụ n’anya*

Ka mmanya ahụ gbadaa nwayọọ nye onye m hụrụ n’anya,
na-asọda nwayọọ n’elu egbugbere ọnụ ya na eze ya.
10 Abụ m nke onye ahụ m hụrụ n’anya,
ọ bụkwa m ka ọ chọrọ.
11 Bịa, onye m hụrụ n’anya, ka anyị gaa n’ime obodo,
ka anyị nọọ ọnọdụ abalị n’obodo nta.
12 Ka anyị bilie ngwangwa n’isi ụtụtụ pụọ jee n’ubi
lee ma osisi vaịnị ha amaala ifuru,
ma okoko ya agbawaala,
ma osisi pomegranet agbawaala okoko.
N’ebe ahụ ka m ga-egosi gị ịhụnanya m.
13 N’ebe ahụ ka ị ga-anọ nụ isi nke mandreki† na-ewepụta;
mkpụrụ osisi niile na-atọ ụtọ ga-adịkwa n’ọnụ ụzọ anyị,
ma ndị ọhụrụ ma ndị ochie,
n’ihi na edokọtaala m ha maka onye m hụrụ n’anya.

# 8

1 O, a sịkwarị na ị bụ nwanne m nwoke;
nke otu nne mụrụ mụ na ya
m gaara esutu gị ọnụ
mgbe anyị zutere n’okporoụzọ
ma ọ dịkwaghị onye ọbụla ga-eleda m anya.
2 Agaara m akpọrọ gị baa n’ụlọ nne m,

* **7:5** 7:5 Ihe akpara akpa nke e jiri mara onye a na-enye nsọpụrụ † **7:13** 7:13 Dịka ndị mmadụ na-ekwu, mandreki na-eweta mkpali ọchịchọ mmekọrịta n’ahụ mmadụ, na-emekwa ka nwanyị tara ya tụrụ ime. Jen 30:14

ka ị nọdụ n’ebe ahụ,
n’ụlọ onye ziri m ihe.
Agaara m enye gị mmanya e tinyere ihe na-esi isi ụtọ,
mmanya ụtọ nke pomegranet.
3 Aka ekpe ya dị n’okpuru isi m,
aka nri ya na-ejikụ m.
4 Unu ụmụ agbọghọ Jerusalem, ana m agba unu iyi,
unu agaghị akpọte maọbụ mee ka ịhụnanya teta
tupu ruo mgbe ọ masịrị ya.
*Ndị Enyi*
5 Onye bụ onye a si n’ọzara na-abịa,
onye na-adabere n’ahụ onye ọ hụrụ n’anya.
*Onye a hụrụ n’anya*
N’okpuru osisi apụl ka m kpọtere gị;
n’ebe ahụ ka nne gị tụrụ ime gị;
n’ebe ahụ ka ọ nọ mụọ gị.
6 Tụkwasị m dịka mgbaaka ihe a kara n’obi,
dịka mgbaaka ihe a kara n’aka gị
n’ihi na ịhụnanya dị ike dịka ọnwụ,
ekworo* ya dịkwa ike dịka ala mmụọ.
Ọ na-enwupụtakwa dịka ọkụ na-ere ere,
dịka ọkụ nke dị ukwu.
7 Ọtụtụ mmiri apụghị imenyụ ịhụnanya,
osimiri niile enwekwaghị ike iri ya.
Ọ bụrụ na mmadụ ga-enye
akụ niile nke ụlọ ya n’ihi ịhụnanya,
a ga-eleda ya anya nke ukwuu.
*Ndị Enyi*
8 Anyị nwekwara otu nwanne nwanyị nta
ma ọ kpụbeghị ara.
Gịnị ka anyị ga-emere nwanne anyị nwanyị,
n’ụbọchị a ga-abịa ịlụ ya?
9 Ọ bụrụ na ọ bụ mgbidi,
anyị ga-ewukwasị ụlọ elu ọlaọcha n’elu ya;
ma ọ bụrụ na ọ bụ ọnụ ụzọ,
anyị ga-eji ibo e ji osisi sida wuo mechie ya, ichebe ya.
*Onye a hụrụ n’anya*
10 Abụ m mgbidi,
ara m abụọ guzokwa dịka ụlọ elu.
Otu a ka m siri dị n’anya ya
dịka onye na-ewetara ya afọ ojuju.
11 Solomọn nwere ubi vaịnị na Baal-Hamon,
o nyefere ubi vaịnị ya n’aka ndị ọrụ nlekọta.
Onye ọbụla n’ime ha ga-eweta
puku shekel ọlaọcha maka mkpụrụ ọ na-amịta.†
12 Ma ubi vaịnị m bụ nke aka m. Ana m enye ya onye m chọrọ inye.
Puku ọlaọcha bụ nke Solomọn,
ndị ọrụ ubi ga-enwetakwa narị ọlaọcha abụọ.
*Onye hụrụ ibe ya n’anya*

---

* **8:6** 8:6 Ilu 6:34-35 † **8:11** 8:11 Mat 21:33

13 Gị onye bi n’ubi a gbara ogige,
gị na ndị enyi gị,
kwere ka m nụ olu gị.

*Onye a hụrụ n’anya*

14 Soro m ka anyị pụọ, onye m hụrụ n’anya,
bịakwute m dịka mgbada,
maọbụ dịka nwa ele
na-awụgharị n’elu ugwu ebe ụda dị iche iche na-esi isi ụtọ jupụtara.

# Aịzaya

[1] Ọhụ Aịzaya nwa Emọz, nke ọ hụrụ banyere Juda na Jerusalem n’oge ọchịchị Ụzaya, Jotam, Ehaz na Hezekaya, bụ ndị eze Juda.

*Mba na-enupu isi*

[2] Gee ntị, gị eluigwe, gee ntị, gị ụwa!
N’ihi na ONYENWE ANYỊ ekwuola okwu:
“Azụrụ m ụmụntakịrị, zụlite ha,
ma ha enupula isi megide m.
[3] Ehi maara onyenwe ya,
ịnyịnya ibu makwaara ebe onyenwe ya na-anọ azụ ya nri,
ma Izrel amaghị m,
ndị m adịghị aghọtakwa.”

[4] Ahụhụ dịrị mba ndị mmehie,
ndị ajọ omume riri ahụ,
ụmụ ndị ajọ omume,
ụmụ ndị nyefere onwe ha na mmerụ!
Ha agbakụtala ONYENWE ANYỊ azụ,
ha eleliạla Onye dị Nsọ nke Izrel,
ha agbakụtala ya azụ ha.

[5] Gịnị mere a ga-eji nọgide na-eti unu ihe?
Gịnị mere unu ji nọgide na nnupu isi?
Lee ọnya juru unu isi,
leekwa na ọrịa na-arịa obi unu.
[6] O nweghị akụkụ ahụ unu zuruoke,
site n’ọbọ ụkwụ unu ruo n’opi isi unu;
ọnya, na ntihịa ahụ,
na ọnya mmerụ ahụ, jupụtara unu n’ahụ;
e kechikwaghị ha,
e tekwaghị ha mmanụ.

[7] Ala unu tọgbọrọ n’efu,
agbaakwala obodo unu ọkụ.
Ndị mbịarambịa ewerechaala ihe dị n’ubi unu
n’ihu unu,
ha emeela ka ọ tọgbọrọ n’efu dịka mgbe onye ọbịa kpochapụrụ ihe dị n’ime ya.*
[8] Ada Zayọn ka a hapụrụ
dịka ụlọ nche dị n’ubi vaịnị,
dịka ụlọ nta dị n’ubi kukumba,
dịka obodo ndị iro gbara gburugburu.
[9] Ọ bụrụ na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
emeghị ka mmadụ ole na ole fọdụ ndụ n’ime anyị,
anyị gara adị ka Sọdọm,

* **1:7** 1:7 Amaokwu a na-akọwa ihe mere n’oge ndị agha Asịrịa busoro ha agha mgbe eze Senakerib na-achị 2Ez 18:13

anyị gaara adịkwa ka Gọmọra.

10 Nụrụnụ okwu ONYENWE ANYỊ,
unu ndị na-achị Sọdọm;
geenụ ntị n’ozizi Chineke anyị,
unu ndị Gọmọra.
11 “N’ihi gịnị ka unu ji na-achụrụ m ọtụtụ aja,
gịnị ka ihe ndị a bụ nye m?”
ka ONYENWE ANYỊ sịrị.
“Afọ ejula m n’aja nsure ọkụ niile
nke eji ebule na anụmanụ e mere ka ha gbaa abụba chụọ;
Ọbara oke ehi na nke ụmụ atụrụ na mkpi
adịghị atọkwa m ụtọ.
12 Mgbe unu na-abịa ka ahụ unu n’ihu m,
onye chọrọ nke a n’aka unu?
Kwụsịnụ ịzọtọ ogige m.
13 Kwụsị iweta onyinye niile na-enweghị isi.
Ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ unu bụrụ m ihe arụ.
Mmemme ọnwa ọhụrụ, na nke ụbọchị izuike, na nzukọta unu niile,
apụghị m ịnagide mkpọkọta unu nke na-abaghị uru.
14 Mkpụrụobi m kpọrọ mmemme ọnwa ọhụrụ, na mmemme unu ndị ọzọ
a kara aka asị.
Ha bụụrụ m ibu arọ,
ike agwụkwala m ibu ha.
15 Mgbe unu na-agbasa aka unu n’ekpere,
agaghị m aṅa unu ntị;
ọ bụladị mgbe unu na-ekpe ọtụtụ ekpere,
agaghị m aṅa ntị.”

N’ihi na aka unu jupụtara n’ọbara!

16 Sachapụnụ onwe unu, dịkwanụ ọcha.
Wezuganụ ajọ omume unu niile site n’ihu m;
kwụsịnụ ime ihe na-adịghị mma.
17 Mụtanụ otu e si eme ihe ziri ezi; chọọnụ ikpe ziri ezi,
nyerenụ ndị a na-emegbu aka.
Werenụ ọnọdụ nna n’ebe ndị na-enweghị nna nọ,
ma kwuchitenụ ọnụ ụmụ nwanyị di ha nwụrụ.

18 “Bịanụ ka anyị kparịtaa ụka,”
bụ ihe ONYENWE ANYỊ na-asị.
“A sịkwarị na mmehie unu dị ka uwe uhie,
ha ga-adị ọcha dịka akụmmiri igwe,†
a sịkwa na ha dị uhie uhie dịka ogho uhie,
ha ga-adịkwa ka ajị anụ ọcha.
19 Ọ bụrụ na unu ga-ekwenye, ọ bụrụ na unu ga-erubere m isi,
aga m eme ka unu nwee ezi ihe nke unu ga-eri n’ala a.
20 Ma ọ bụrụ na unu ajụ ma nupu isi,
ọ bụ mma agha ka a ga-eji gbuchapụ unu.”
N’ihi na ọnụ ONYENWE ANYỊ ekwula ya.

† **1:18** 1:18 Ihe ndị ọcha na-akpọ snoo.

21 Lee ka obodo ahụ kwesiri ntụkwasị obi
aghọọla onye akwụna!
Ọ bụ nke jupụtararị n'ikpe ziri ezi;
ezi omume na-anọbu n'ime ya,
ma ugbu a, ọ bụzi ndị ogbu mmadụ.
22 Ọlaọcha gị aghọọla unyi,
ezi mmanya gị aghọọla nke a gwafere mmiri oke.
23 Ndị ndu gị niile bụ ndị nnupu isi,
ndị bụkwa ndị enyi ndị ohi,
onye ọbụla n'ime ha hụrụ iri ngarị n'anya,
na-agbasokwa onyinye.
Ha adịghị echebe ndị na-enweghị nna
ikpe gbasara ndị inyom di ha nwụrụ adịghị abịa n'ihu ha.

24 N'ihi ya, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
Onye dị ike nke Izrel, kwubiri sị,
"Aga m abọ ọbọ megide ndị iro m,
ime ka unu gharakwa inye m nsogbu ọzọ.
25 Aka m ga-abịakwasị unu.
Aga m anụcha unu dịka e si anụcha ọlaedo,
si otu a wepụchaa unyi niile dị n'ime unu.
26 Emesịa, aga m enye unu ndị na-ekpe ikpe ziri ezi.
Ndị na-adụ unu ọdụ ga-abụkwa ndị nwere uche dịka ndị unu nwere na mbụ.
Ọzọ, a ga-akpọ obodo unu
Obodo Ezi Omume,
Obodo kwesiri Ntụkwasị Obi."

27 A ga-eji ikpe ziri ezi zọpụta Zayọn.
Ọ ga-ejikwa ezi omume zọpụta ndị niile lọghachikwutere ya.
28 Ma ndị mmehie niile na ndị niile na-enupu isi ka ọ ga-ala n'iyi;
ọ ga-egbukwa ndị niile na-agbakụta ONYENWE ANYỊ azụ.

29 "Ihere ga-eme unu n'ihi osisi ook nsọ ndị ahụ niile
obi unu na-enwe aṅụrị n'ime ha.
Ihere ga-eme unu n'ihi ubi a gbara ogige ndị ahụ
unu jiri aka unu họrọ.
30 Unu ga-ala n'iyi dịka osisi ook na-akpọnwụ akpọnwụ
maọbụ ka ubi a gbara ogige nke mmiri kọrọ.
31 Onye kachasị ike n'etiti unu ga-ala n'iyi dịka ahịhịa na-ere ọkụ;
ọrụ ya ga-abụ icheku ọkụ
nke ga-emenye ọkụ ahụ ga-erepịa unu.
Ọ dịkwaghị onye pụrụ imenyụ ya."

# 2

*Ugwu nsọ ONYENWE ANYỊ*

1 Nke a bụ ihe Aịzaya nwa Emọz hụrụ banyere Juda na Jerusalem.

2 N'ụbọchị ikpeazụ,
ugwu nke ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, ga-abụ nke eguzobere
dịka ugwu dị elu karịa ugwu niile,

a ga-ebuli ya elu karịa ugwu nta niile,
mba niile dị iche iche ga-eruba n’ime ya dịka iyi.
3 Ọtụtụ ndị mmadụ ga-abịa ma sịkwa,
“Bịanụ, ka anyị rigoruo ugwu ONYENWE ANYỊ,
ka anyị gaa n’ụlọnsọ ukwu Chineke nke Jekọb.
Ọ ga-akụziri anyị ụzọ* ya niile,
ka anyị nwe ike jee ije n’okporoụzọ ya niile.”†
Iwu ga-esi na Zayọn pụta,
okwu ONYENWE ANYỊ ga-esitekwa na Jerusalem pụta.‡
4 Ọ ga-ekpe ikpe n’etiti mba niile,
doziekwa esemokwu dị n’etiti ndị dị iche iche.
Ha ga-akpụgharịkwa mma agha ha niile mee ka ha bụrụ mma oge;
kpụgharịkwa ùbe ha mee ya ka ọ ghọọ mma ịkwacha osisi.
Mba ọbụla agakwaghị ebuli mma agha megide mba ọzọ,
maọbụ zụọ onwe ha n’ịlụ agha ọzọ.

5 Unu ụlọ Jekọb, bịanụ
ka anyị na-agbaso ìhè nke ONYENWE ANYỊ anyị.

*Ụbọchị ONYENWE ANYỊ*

6 Gị, bụ ONYENWE ANYỊ, Ị gbakụtala ndị gị,
bụ ụlọ Jekọb azụ.
N’ihi na ha jupụtara n’ikpere arụsị nke si n’ọwụwa anyanwụ.
Ha na-ajụkwa ase dịka ndị Filistia.
Ha na ndị na-ekpere arụsị na-ejikọkwa aka.
7 Ala ha jupụtara n’ọlaọcha na ọlaedo,
ha bara ụba nke ukwuu.
Ala ha jupụtara n’ịnyịnya.
Ụgbọ agha ha dịkwa ukwuu.
8 Ala ha jupụtara n’arụsị,
ha na-akpọ isiala nye ihe ndị ahụ ha ji aka ha kpụọ,
ihe ndị ahụ mkpịsịaka ha kpụrụ.
9 N’ihi ya, a ga-eme ka mmadụ bụrụ ihe e wedara n’ala,
meekwa ka mmadụ niile bụrụ ndị e wedara n’ala.
Ya mere, agbagharala ha.

10 Gaanụ n’ime nkume,
zoonụ n’ime ala n’ihi ihe egwu si n’ebe ONYENWE ANYỊ,
na n’ihi ịma mma ebube nke ịdị ukwuu ya.
11 Anya nke onye nganga ka a ga-eweda n’ala,
mpako nke ndị mmadụ ka a ga-ewedakwa n’ala.
Ọ bụ naanị ONYENWE ANYỊ ka a ga-ebuli elu n’ụbọchị ahụ.

12 ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, nwere ụbọchị ọ kwadooro
nye ndị mpako na ndị na-ebuli onwe ha elu,
n’ihi na ihe niile e buliri elu
(ka a ga-eweda n’ala),
13 nye osisi sida niile topụrụ ogologo ma maa mma nke Lebanọn,§

---
* **2:3** 2:3 Ya bụ, ụkpụrụ † **2:3** 2:3 Zek 8:21-23 ‡ **2:3** 2:3 Luk 24:47 § **2:13** 2:13 Lebanọn bụ obodo dị n’akụkụ ọwụwa anyanwụ osimiri Jọdan. Ihe e ji mara obodo a bụ osisi ook na-eto n’ebe ahụ na ehi Zek 11:1-2

na osisi ook niile nke Bashan,
14 nye ugwu ukwu niile nke dị elu,
na ugwu nta niile e buliri elu,
15 nye ụlọ elu niile,
na mgbidi niile e wusiri ike,
16 nye ụgbọ mmiri niile e ji azụ ahịa,*
na ụgbọ mmiri ndị ọzọ niile buru ibu maa mma.
17 Onye nganga ka a ga-eweda n'ala,
mpako nke ndị mmadụ niile ka a ga-eweda n'ala.
Naanị ONYENWE ANYỊ ka a ga-ebuli elu n'ụbọchị ahụ.
18 A ga-ala arụsị niile n'iyi, mee ka ha ghara ịdịkwa.

19 Ndị mmadụ ga-agba ọsọ gbaba n'ọnụ dị na nkume,
na n'ọnụ e gwuru n'ala,
n'ihi egwu ONYENWE ANYỊ,
na n'ihi ịma mma ebube nke ịdị ukwuu ya,
mgbe ọ ga-ebili ịyọghari ụwa.
20 N'ụbọchị ndị ahụ,
ha ga-atụfusị arụsị ọlaedo na nke ọlaọcha ha kpụrụ,
nke ha kpụrụ ma na-efe,
hapụrụ ha ụmụ oke, na ụmụ ụsụ.
21 Mgbe ahụ, ha ga-ezo onwe ha n'oghere niile dị n'oke nkume,
na n'ime ọgba niile nke oke nkume
n'ihi ịgbanarị iwe ọkụ ONYENWE ANYỊ,
na ịma mma ebube nke ịdị ukwuu ya,
mgbe o biliri ịyọghari ụwa.

22 Kwụsị ịtụkwasị mmadụ efu obi.
O nweghị ihe ọ bụ karịa naanị nkuume ahụ dị ya n'ime,
n'ihi gịnị ka e ji agụnye ya?

# 3

*Ahụhụ dịrị Juda na Jerusalem*

1 N'ihi na, lee, Onyenwe anyị,
bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
na-akwado isite na Jerusalem na Juda
wezuga ihe nnweta na ihe nkwado niile,
ya na ihe oriri niile na mmiri ọṅụṅụ niile.
2 Ọ ga-ewezugakwa ndị bụ dike n'etiti ha, na onye agha,
na onye ikpe, na onye amụma,
na onye na-ajụ ase, na ndị okenye ha,
3 na onyeisi agha na-achị ndị agha iri ise, na onye a na-asọpụrụ,
na onye ndụmọdụ, na onye ọka maara ọrụ, na onye nwere ezi mmụọ nghọta ịkọ mmadụ ibe ya ọgwụ.

4 "Aga m eme ka ụmụ okorobịa ghọọ ndị ozi ha,
meekwa ka ụmụ na-aṅụ ara bụrụ ndị ịchị isi dị n'aka ha."

5 Ndị mmadụ ga-emegbu ibe ha,

---
* **2:16** 2:16 Ụgbọ niile nke Tashish

otu onye megide onye ọzọ, onye agbataobi megide onye agbataobi ibe ya.
Ụmụ okorobịa ga-ebili megide ndị okenye,
ndị a na-eleli ga-emegide ndị a na-asọpụrụ.

6 Otu nwoke ga-ejide nwanne ya nwoke
n'ụlọ nna ya sị ya,
"I nwere akwa mgbochi, bụrụ onyendu anyị;
lekọta mkpọmkpọ ebe a anya."
7 Ma ọ ga-azaghachi n'ụbọchị ahụ sị,
"O nweghị ihe m pụrụ ime.
Enweghị m nri maọbụ akwa mgbochi n'ụlọ m.
Emela m onyendu ndị a."

8 Lee na Jerusalem na-asọ ngọngọ.
Juda na-adakwa.*
N'ihi na ndị bi n'ime ya ekwujọọla ONYENWE ANYỊ.
Ha na-elelịkwa, ma na-enupu isi n'ebube Onyenwe anyị.
9 Ihu ha na-egosi ihe ha bụ. Ọ na-ezipụta ajọ omume ha.
Ha na-anya isi n'ime mmehie ha dịka Sọdọm.
Ihere adịghịkwa eme ha.
Ahụhụ ga-adịrị ha,
n'ihi na ha ejirila aka ha kpatara onwe ha ahụhụ.

10 Zie ndị ezi omume niile ozi sị ha, na ihe ga-agara ha nke ọma,
n'ihi na mkpụrụ sitere n'omume ha niile ka ha ga-eri.†
11 Ma gwa ndị na-emebi iwu na ahụhụ dịrị ha.
Mbibi adakwasịla ha!
Ha ga-eketa oke ruoru ha,
n'ihi ihe aka ha kpataara ha.

12 Ụmụ okorobịa na-emegbu ndị m,
ụmụ nwanyị na-achịkwa ha.
Ndị m, lee na ndị na-achị unu na-eduhie unu ụzọ.
Ha na-eme ka unu kpafuo; ha esitela n'ezi ụzọ wezuga unu.

13 ONYENWE ANYỊ anyị ewerela ọnọdụ ya n'ụlọikpe;
ọ na-eguzo ikpe ndị ya niile ikpe.
14 Onyenwe anyị na-aba n'ikpe
megide ndị okenye na ndị ndu nke ndị ya niile.‡
Ọ bụ unu bụ ndị lara ubi vaịnị m n'iyi;
ihe unu ji aka ike pụnara ndị ogbenye jupụtara n'ụlọ unu.
15 Gịnị mere unu ji azọpịa ndị m,
"Gịnị mere unu ji si otu a na-egwepịa ihu ndị ogbenye?"
Otu a ka Onyenwe anyị, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwupụtara.

16 Ọzọkwa, ONYENWE ANYỊ kwuru sị,
"Ndị inyom Zayọn bụ ndị mpako.
Ha ji olu e setịrị eseti,
na anya na-achọgharị ndị ikom ha ga-aghọgbuta na-ejegharị.

* **3:8** 3:8 2Ih 36:17 † **3:10** 3:10 Abụ 128:2 ‡ **3:14** 3:14 N'ihi na ọ bụ ha na-emegbu ndị ya

Ha na-ejegharịkwa na-arọ mma na-aṅagharịkwa ukwu,
na-emekwa ka ihe ịchọ mma ọla ụkwụ ha na-ada ụda.
17 N'ihi ya, Onyenwe anyị ga-eme ka ọnya jupụta n'isi ndị inyom Zayọn,
ONYENWE ANYỊ ga-emekwa ka ha gharakwa inwe agịrị isi n'isi ha."
18 N'ụbọchị ahụ, Onyenwe anyị ga-anapụ ha ihe ịchọ mma ha niile, ma mgbaaka,
ma ịchafọ ịgbado isi, ma ihe olu nke dị n'ụdịdị ọnwa ọhụrụ, 19 ma ọlantị, ma
mgbaaka, ma akwa e ji ekpuchi ihu, 20 ma akwa ha na-eyi n'isi, na ọla ụkwụ, ma ihe
ha na-eke n'ukwu, ma karama mmanụ isi ụtọ, ma ọgwụ dị iche iche; 21 ma ọlaaka
ha niile na ọla imi ha niile, 22 ma uwe mmemme ha niile ma uwe mwụda niile, ma
akwa akwa mgbochi, ma akpa nta niile, 23 ma enyo ha niile, ma akwa ọcha niile, ma
okpu ọma niile, ma mgbokwasị ha niile.
24 N'ọnọdụ ụda ọma, ha ga-esi ure ure;
n'ọnọdụ ihe ike n'ukwu, ha ga-ekekwasị onwe ha eriri;
n'ọnọdụ agịrị isi e doziri edozi, ha agaghị enwe ọ bụladị otu agịrị isi;
n'ọnọdụ akwa ọcha, ọ bụ akwa mkpe ka ha ga-eyi;
n'ọnọdụ ịma mma, anụ ahụ ha ga-achakpọsị.
25 Ndị ikom unu ka a ga-eji mma agha gbuo,
ndị bụ dike ka a ga-egbu n'agha.
26 Ọnụ ụzọ ama niile nke Zayọn ga-eti mkpu akwa ruokwa ụjụ.
Ọ ga-atọgbọrọ n'efu. Ọ ga-anọdụ n'ala.

# 4

1 N'oge ahụ, ndị ikom ole na ole ga-afọdụ ndụ.
Nke a ga-eme ka ndị inyom asaa na-azọ otu nwoke.
Ha ga-abịakwute ya sị ya "Kwere ka anyị niile bụrụ ndị nwunye gị!
Anyị ga-akpara onwe anyị nri,
zụọra onwe anyị akwa. Naanị kwere ka anyị na-aza aha gị,
ka a ghara ịkọ anyị ọnụ."

*Alaka ONYENWE ANYỊ*

2 N'ụbọchị ahụ, ONYENWE ANYỊ ga-eme ka Alaka ONYENWE ANYỊ mabiga mma oke,
ma nwekwa ebube dị ukwuu. Ndị fọdụrụ ndụ n'Izrel ga-enweta ihe ubi ga-enye ha
ọṅụ, na nke ga-ewetara ha obi nganga na mmụọ ịnya isi. 3 Ndị ahapụrụ na Zayọn,
ndị nọ na Jerusalem ka a ga-akpọ ndị dị nsọ, bụ ndị ahụ niile e dere aha ha n'etiti ndị
bi n'ime Jerusalem. 4 Onyenwe anyị ga-asachapụ unyi niile nke ndị inyom Zayọn, ọ
ga-asachapụkwa ọbara niile dị na Jerusalem site na mmụọ nke ikpe, na mmụọ nke
ọkụ. 5 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ ga-ewuru ugwu Zayọn niile na ndị niile zukọrọ n'ebe
ahụ ndo ga-ekpuchi ha niile. Ihe ọ ga-eji mee ndo a bụ igwe ojii na anwụrụ ọkụ nke
ga-adịrị ha n'ehihie, na ọkụ na-enwu enwu, nke ga-adịrị ha n'abalị. Ebube ahụ ga-
abụ ihe mkpuchi nye ha. 6 Ọ ga-abụrụ ha ebe mgbaba na ndo ime ka okpomọkụ nke
ehihie hapụ ịchagbu ha. Ọ ga-abụkwara ha ebe izere ndụ, na ebe nzuzo pụọ n'oke
ifufe na mmiri.

# 5

*Abụ banyere ubi vaịnị a gbara ogige*

1 Aga m abụ abụ nye onye m hụrụ n'anya,
abụ banyere ubi vaịnị ya.
Onye m hụrụ n'anya nwere ubi ya
n'elu ugwu nta nke bụ ezi ala.
2 O gwuzere ya, wepụsịa okwute niile dị n'ime ya,
werekwa mkpụrụ vaịnị mara mma kụọ n'ime ya.

O wuru ụlọ nche n’etiti ya,
sitekwa na nkume wapụtakwa ebe ịzọcha mmanya.
Emesịa, ọ nọdụrụ chere oge owuwe ihe ubi.
Mgbe oge ahụ ruru, ọ chọpụtara na n’ọnọdụ mkpụrụ vaịnị mara mma, ọ bụ ndị jọrọ njọ mịrị.

3 “Ugbu a, ndị ikom Jerusalem na Juda, unu anụla ihe mere.
Kpebienụ ikpe a dị n’etiti mụ na ubi vaịnị m.
4 Olee ihe ọzọ m gaara emere ya
karịa ihe m mere?
Gịnị mere ubi vaịnị m ji mịara m mkpụrụ jọrọ njọ
n’ọnọdụ mkpụrụ na-atọ ụtọ?
5 Ugbu a, lee,
ihe m na-aga ime ubi vaịnị m a.
Aga m ewepụ ihe mgbochi a gbara ya,
hapụ ya ka ọ ghọọ ebe anụ ụlọ na-ata nri.
Aga m etida mgbidi ya
hapụ ya ka ọ bụrụ ebe a na-azọtọ ụkwụ.
6 Agaghị m akwachakwa ya ọzọ.
Agakwaghị m egwuru ya ala,
aga m ahapụ ya ka ogwu na uke too n’ime ya.
Aga m enyekwa igwe ojii iwu
ka mmiri ghara izokwasị ya ọzọ.”

7 Ubi vaịnị nke Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile,
bụ mba Izrel
na ndị Juda,
ha bụ vaịnị ahụ nke n’atọ obi ya ụtọ.
Ma o lere anya ikpe ziri ezi, ma ihe ọ hụrụ bụ iwusi ọbara.
O lere anya ezi omume, ma ihe ọ nụrụ bụ mkpu akwa ndị a na-emegbu emegbu.

*Ahụhụ na ikpe ọmụma*

8 Ahụhụ dịrị unu ndị na-azụkọta ala
ma ndị ọzọ ahụghị ebe ha ga-ebi,
unu ndị na-ewu ụlọ na-ewukwasị ụlọ n’ala buru ibu,
ime ka ọ bụrụ naanị unu bi n’ụwa.
9 Ma Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile ekwuola ihe banyere unu, na ọnọdụ
unu. Eji m ntị m abụọ nụ mgbe ọ na-asị,
“N’ezie, ọtụtụ ụlọ mara mma ga-atọgbọrọ n’efu,
ụlọ ukwu mara mma ndị nwe ha agaghị anọkwa.
10 Ubi vaịnị ahụ a ga-eji ehi abụọ kọọ ụbọchị iri ga-ewepụta naanị ihe nwere ike iru galọọnụ mmanya isii,
ma ọka a kọrọ, nke ruru akpa ọka atọ ga-amịpụta ihe ruru otu akpa n’ọkara.”

11 Ahụhụ ga-adịrị unu niile ndị na-ebili n’isi ụtụtụ
ịgbaso mmanya.
Ndị na-amụgide anya abalị
tutu ruo mgbe ha ṅụbigara mmanya oke.
12 Unu na-eji ụbọ akwara dị iche iche na une,
na ihe iti egwu na opi, na mmanya na-eme onwe unu obi ụtọ n’oge mmemme oriri unu,

ma unu na-eleli ONYENWE ANYỊ anya;
unu adịghịkwa asọpụrụ akaọrụ ya.
13 N'ihi ya, ndị m ga-eje biri na mba ọzọ,
n'ihi amaghị ihe;
ndị ọkwa ha dị elu ga-anwụ n'ihi agụụ,
ndị mmadụ efu ga-abụ ndị akpịrị ga-akpọ nkụ n'ihi agụụ mmiri.
14 N'ihi ya, ala mmụọ na-eme ka ọchịchọ ya saa mbara,
ọ na-asaghebigakwa ọnụ ya oke;
ndị ukwu na ndị nta bi n'ime ala a ka ọ ga-elo,
tinyere ndị na-emebiga mkpọtụ oke, na ndị na-egwuribiga egwu ọṅụ oke.
15 N'ụbọchị ahụ, a ga-eweda n'ala ndị dị elu,
na ndị dị ala,
ndị mpako ka a ga-eweda n'ala.
16 Ma ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, nwee ọnọdụ dịkarịsịrị elu, n'ihi ikpe ikpe ziri ezi ya,
Chineke onye dị nsọ na-egosikwa onwe ya na ọ dị nsọ site n'ezi omume ya.
17 Mgbe ahụ, ụmụ atụrụ ga-akpa nri ha dị ka ọ bụ n'ọzara ka ha nọ,
ehi na anụ ụlọ ga-akpa nri ha n'ụlọ ndị ọgaranya niile e tikpọrọ etikpọ.

18 Ahụhụ ga-adịrị ndị ji aghụghọ na-adọkpụgharị mmehie ha;
ahụhụ dịkwara ndị na-adọkpụgharị ajọ omume ha dịka ụdọ eji adọkpụgharị ụgbọala.
19 Nye ndị ahụ na-asị "Ka Chineke mee ngwa;
ya rụọ ọrụ ya ọsịịsọ,
ka anyị hụ ya.
Atụmatụ nke Onye nsọ nke Izrel,
ka ọ bịaruo nso, ka ọ pụta ìhè,
ka anyị nwe ike mara ihe o zubere.*"

20 Ahụhụ dịrị ndị na-akpọ ihe ọjọọ ezi ihe
ndị na-akpọkwa ezi ihe ihe ọjọọ,
ndị na-etinye ọchịchịrị n'ọnọdụ ìhè
na ìhè n'ọnọdụ ọchịchịrị
ndị na-etinye ihe dị ilu n'ọnọdụ ihe ụtọ,
na ihe ụtọ n'ọnọdụ ihe ilu.

21 Ahụhụ ga-adịrị ndị maara ihe n'anya nke onwe ha,
ndị na-elekwa onwe ha anya na ha bụ ndị nwere nghọta.

22 Ahụhụ ga-adịrị ndị bụ dike n'ịṅụ mmanya,
na ndị bụkwa dimkpa n'ịgwakọta mmanya,
23 ndị na-asị onye ikpe maara n'ikpe amaghị ya n'ihi ịnata ngarị,†
ma wezuga ikpe ziri ezi site n'ebe onye aka ya dị ọcha nọ.‡
24 N'ihi ya, dịka ire ọkụ si erechapụ ahịhịa ọka,
na dịka ahịhịa kpọrọ nkụ si ada n'ime ọkụ na-enwu enwu,
otu a ka mgbọrọgwụ ha ga-ere ure
okoko ha ka ikuku ga-ebufu dịka uzuzu;
n'ihi na ha ajụla iwu niile ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile nyere,
leliakwa okwu nke Onye nsọ Izrel.

* **5:19** 5:19 Jer 17:15 † **5:23** 5:23 Ọpụ 23:8; Ilu 17:15 ‡ **5:23** 5:23 Abụ 94:21

25 N’ihi nke a, iwe ONYENWE ANYỊ dị ọkụ megide ndị ya;
o setịpụrụ aka ya na-etitu ha n’ala.
Ugwu niile ga-ama jijiji,
ozu ndị ahụ dịka ihe na-abaghị uru n’okporoụzọ niile.

Ma n’agbanyeghị ihe ndị a niile, iwe ya alaghachibeghị azụ,
aka ya ka setịpụkwara esetipụ.

26 Ọ ga-eweli ọkọlọtọ nye mba niile dị n’ebe dị anya,
ọ na-akpọkọta ndị niile nọ na nsọtụ ụwa.
Ma lee, ka ha na-abịa,
ha na-eme ngwa bịa ọsịịsọ.§
27 Ọ dịghị onye na-ada mba, ọ dịkwaghị onye n’asụ ngọngọ n’ime ha,
ọ dịghị onye n’atụ oru ụra maọbụ rahụ ụra,
ọ dịghị ihe ike n’ukwu ha nke tọpụrụ atọpụ
ọ dịghị ihe ikechi akpụkpọụkwụ nke dọbiri adọbi.*
28 Àkụ ha niile dị nkọ,
ekweela ụta ha niile,
ụkwụ ịnyịnya dị ka nkume ọkụ,
ụkwụ ụgbọ agha ha dị ka oke ifufe.
29 Ha na-ebigbọ dịka ọdụm,
ha na-ebigbọkwa dịka ụmụ ọdụm;
ha na-asụ mgbe ha wụkwasịrị n’elu ihe ndọgbu.
Ha na-ejide ndị m, kpụrụ ha laa, ọ dịkwaghị onye nnapụta ha nwere.
30 N’ụbọchị ahụ, ha ga-ebigbọ n’elu ya
dịka mbigbọ nke oke osimiri.
A sịkwa na mmadụ elegide ala ahụ anya,
ọ ga-ahụ na ọchịchịrị na ihe mgbu,
ọ bụladị anyanwụ ka igwe ojii ga-eme ka ọ gbaa ọchịchịrị.

# 6

*Ọkpụkpọ Aịzaya*

1 N’afọ ahụ, mgbe eze bụ Ụzaya nwụrụ, ahụrụ m Onyenwe anyị ka ọ nọ n’ocheeze
ya dị oke elu. Ọnụ ọnụ ala uwe ya jupụtara ụlọnsọ ukwuu ya. 2 Ndị na-erugharị
n’elu ocheeze ya bụ ndị mmụọ ozi a na-akpọ seraf, ndị nwere nku isii. Ha ji nku
ha abụọ kpuchie ihu ha; abụọ ka ha ji kpuchie ụkwụ ha, abụọ nke fọdụrụ ka ha ji
na-efeghari. 3 Ha na-abụrịtara onwe ha abụ, sị,
“Nsọ, Nsọ, Nsọ, ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile dị.
Ụwa niile jupụtara n’ebube ya.”
4 N’ihi ụda olu ha, ọnụ ụzọ na mgbidi ụlọnsọ mara jijiji, ụlọ ahụ jupụtara n’anwụrụ
ọkụ.
5 Etiri m mkpu akwa sị. “Ewoo! Onye nwụrụ anwụ ka m bụ, n’ihi na onye mmehie
ka m bụ, egbugbere ọnụ m bụ egbugbere ọnụ rụrụ arụ; ọ bụkwa n’etiti ndị egbugbere
ọnụ ha rụrụ arụ ka m bi. Ugbu a, ejirila m anya m hụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime
ihe niile, onye bụ Eze ukwu ahụ!”
6 Mgbe ahụ, otu n’ime seraf ndị ahụ sitere n’ebe ọ nọ fekwute m, were mkpa gụta
otu icheku dị ọkụ site n’ebe ịchụ aja.* 7 O weere icheku ọkụ ahụ sọtụ m n’ọnụ, sị

§ **5:26** 5:26 Ndị bịara buo agha a bụ ndị agha mba Asịrịa. * **5:27** 5:27 Jul 2:8 * **6:6** 6:6 Ebe ịchụ aja a, nke dị n’etiti ebe nsọ ahụ, ka a na-achụ aja ụda ndị ahụ na-esi isi ụtọ Mkp 8:3

m, “Ugbu a, a gụọla gị dịka onye dị ọcha, n’ihi na icheku a emetụla gị n’ọnụ. A gbagharakwala gị mmehie gị niile.”
8 Mgbe ahụ, anụrụ m olu Onyenwe anyị ka ọ na-ajụ, “Onye ka m ga-eziga? Onye ga-ejekwara anyị?”
Asịrị m, “Lee m, ziga m.”
9 Ọ siri, “Gaa gwa ndị a sị,
“ ‘Na-anụnụ, ma unu aghọtala,
na-elenụ anya ma unu ahụla.†’
10 Mee ka obi ndị a maa abụba, dịkwa arọ,‡
mee ka ntị ha kpọchie,
mechiekwa anya ha.
Ma ọ bụghị otu a, ha nwere ike iji anya ha hụ ụzọ,
jiri ntị ha nụ ihe,
jirikwa obi ha ghọta,
ma chigharịa bụrụ ndị a gwọrọ.”
11 Ma ekwuru m sị, “Onyenwe m, ọ bụ ruo ole mgbe?”
Ọ zara,
“Ọ bụ ruo mgbe obodo ha tọgbọrọ n’efu,
mgbe ọ na-adịghị onye ga-afọdụ n’ime ya;
mgbe ụlọ obibi ha niile ga-atọgbọrọ n’efu,
mgbe e bibisịrị ala ubi ha niile.
12 Ọ bụ ruo mgbe ONYENWE ANYỊ zigara onye ọbụla gaa ebe dị anya,
ala niile atọgbọkwara n’efu.
13 Ma ọ bụrụkwa na otu ụzọ n’ime ụzọ iri n’ime ha niile afọdụ n’ala a,
a ga-eme ka ọ laa n’iyi.
Ma dịka osisi terebint na osisi ook
na-ahapụ ogwe mgbe e gbujiri ha,
ya mere mkpụrụ nsọ ahụ ga-abụ ogwe osisi n’ala ahụ.”

# 7

### *Ihe ama Ịmanụel*

1 Mgbe Ehaz,* nwa Jotam, nwa nwa Ụzaya bụ eze na Juda, Rezin eze Aram, na
Peka eze Izrel, nwa Remalaya, busoro Jerusalem agha. Ma ha emerighị ya; obodo
ahụ guzosiri ike.
2 Ma mgbe e mesịrị, ozi ruru ụlọ Devid ntị sị, “Ndị Aram na Ifrem ejikọọla onwe
ha ọnụ”; nke a mere ka ụlọeze, na obi ndị ọ na-achị maa jijiji, dịka osisi dị n’ọhịa si
ama jijiji mgbe oke ifufe na-efe.
3 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara Aịzaya okwu sị ya, “Jekwuru Ehaz bụ eze. Mgbe
ị na-aga, kpọrọ Shịa-Jashub nwa gị nwoke. Unu ga-ahụ Ehaz n’akụkụ Elu elu olulu
ọdọ mmiri nke dị n’ụzọ ahụ gawara n’Ala ọsụ akwa. 4 Gwa ya ka ọ ghara inye ndụ
ya nsogbu, ka ọ gharakwa ịtụ egwu. Sị ya, ‘Lezie anya, nọ jụụ, echegbula onwe ya
banyere icheku ọkụ abụọ ahụ na-anyụ anyụ. Atụla egwu n’ihi iwe Rezin nwa Aram,
na iwe Peka nwa Remalaya. 5 E, Aram, na Ifrem, na nwa nwoke Remalaya, agbaala
izu ibuso gị agha ịla gị n’iyi. Ha ekwuola sị, 6 “Ka anyị wakpo Juda, ka anyị dọwaa
ya ma kee ya n’etiti onwe anyị, mee nwa Tabeel ka ọ bụrụ eze ya.” 7 Ma otu a ka
Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
“ ‘Ọ gaghị adị ire!

† **6:9** 6:9 Mat 13:14; Mak 4:12; Luk 8:10 ‡ **6:10** 6:10 Abụ 119:70; Ọrụ 7:51 * **7:1** 7:1 N’ime senchuri nke asaa, tupu a mụọ Kraịst, ndị Izrel na Siria jikọrọ aka buso ndị Asịrịa agha. N’oge ahụ ha gbalịrị ịkwagide Ehaz, eze Juda, ka o soro ha ga buo agha ahụ.

Ọ gaghị emezukwa.
8 N’ihi isi obodo Aram bụ Damaskọs.†
Onyeisi Damaskọs bụ naanị Rezin.
Ma tupu afọ iri isii na ise agafee
a ga-etikpọkwa Ifrem.
9 Isi obodo Ifrem bụ Sameria.
Onyeisi Sameria bụ naanị nwa Remalaya.
Ọ bụrụ na unu eguzosighị ike n’okwukwe unu,
unu agaghị eguzo ma ọlị.’ ”
10 Ọ dịghị anya, ONYENWE ANYỊ ziri Ehaz ozi ndị a sị, 11 “Jụọ m bụ ONYENWE ANYỊ
Chineke gị, ka m meere gị ihe ịrịbama nke ga-egosi gị na m ga-ebibi ndị iro gị niile
dịka m kwuru. Rịọọ m ihe masịrị gị, n’ebe dị elu n’eluigwe maọbụ n’ebe kachasị
omimi n’ụwa.”
12 Ma Ehaz zara sị, “Mba, agaghị arịọ, agaghị m anwakwa ONYENWE ANYỊ m otu a.”
13 Ma Aịzaya sịrị, “Ṅaanụ ntị unu ụlọ Devid. Ọ bụ na o zurughị unu ime ka ike gwụ
mmadụ? Unu ga-emekwa ka ike gwụ Chineke n’onwe ya? 14 Ya mere, Onyenwe anyị
n’onwe ya ga-enye gị ihe ịrịbama! Lee, nwaagbọghọ ahụ na-amaghị nwoke ga-atụrụ
ime, mụọ nwa nwoke. Ọ ga-akpọ aha ya Ịmanụel, nke pụtara, Chineke nọnyeere
anyị. 15 Mmiri ara ehi rahụrụ arahụ na mmanụ aṅụ ka nwantakịrị ahụ ga-eri mgbe
ọ matara ịjụ ihe ọjọọ na ịhọrọ ezi ihe. 16 Tupu a zụlite nwantakịrị ahụ ịmata ịhọrọ
ezi ihe na ịjụ ajọ ihe, ndị eze abụọ ndị ị na-atụ egwu ha, ga-anwụcha. 17 ONYENWE
ANYỊ ga-eme ka ọbụbụ ọnụ dị ukwuu bịakwasị gị na obodo gị, na ezinaụlọ gị. Ihe
egwu ga-adịkwa, ụdị nke a na-ahụbeghị mbụ, site n’oge e kewapụrụ Ifrem site na
Juda. Eze Asịrịa ga-edu ndị agha ya bịa.‡”

### *Asịrịa, ngwa ọrụ ONYENWE ANYỊ*

18 N’ụbọchị ahụ, ONYENWE ANYỊ ga-akpọku ijiji site na nsọtụ Naịl dị n’Ijipt nakwa
aṅụ sitere n’ala Asịrịa. 19 Ha ga-abịa n’igwe, bichie ndagwurugwu ala gị niile, na
n’ọgba nkume niile, na n’ọhịa ogwu ogwu niile, na n’ọzara niile, na n’ezi ala niile.
20 N’ụbọchị ahụ, Onyenwe anyị ga-eji agụba e gotara n’ofe osimiri, nke bụ eze Asịrịa,
kpụchapụ unu agịrị isi na ajị ụkwụ, kpụchapụkwa afụọnụ unu niile. 21 N’ụbọchị ahụ,
otu onye ga-edebe otu nwa ehi na ewu abụọ ndụ. 22 Onye ọbụla kwa n’ala ahụ ga-eri
mmiri ara ehi rahụrụ arahụ, ya na mmanụ aṅụ, n’ihi na mmiri ara ehi ga-aba ụba
nke ukwuu n’ala ahụ. 23 N’ụbọchị ahụ, ala ọbụla nke nwere otu puku osisi vaịnị nke
ọnụahịa ya ruru otu puku shekel ọlaọcha ga-abụ naanị ogwu na uke. 24 Ndị dinta
ga-achịrị àkụ na ùta gaa n’ebe ahụ, n’ihi na uke na ogwu ga-ekpuchi ala ahụ. 25 Ma
banyere ugwu eji ọgụ kọọ na mbụ, ị gaghị abakwa n’ebe ahụ ọzọ n’ihi egwu uke na
ogwu; ha ga-abụ ebe a na-atọpụ ehi na ebe atụrụ na-agbagharị.

# 8

### *Aịzaya na ụmụ ya dịka ihe ịrịbama*

1 ONYENWE ANYỊ siri m, “Were otu mbadamba ihe dị ukwuu, were odee nke onye
ọbụla na-eji ede ihe dekwasị ya Maha-shalal-Hash-Baz. 2 Aga m akpọbata Ụraya
onye nchụaja na Zekaraya nwa Jeberekaya dịka ndị akaebe kwesiri ntụkwasị obi.”
3 Emesịa, mụ na nwunye m, bụ onye amụma dinakọrọ, ọ tụụrụ ime, mụọrọ m nwa
nwoke. Ma ONYENWE ANYỊ sịrị m, “Gụọ ya Maha-shalal-Hash-Baz. 4 N’ihi na tupu
nwantakịrị ahụ etolite ịkpọ nne maọbụ nna, eze ndị Asịrịa ga-ebuso Damaskọs na
Sameria agha, bukọrọkwa akụ ha niile.”
5 ONYENWE ANYỊ gwakwara m okwu ọzọ sị,

† **7:8** 7:8 2Sa 8:6 ‡ **7:17** 7:17 2Ih 28:19-20

6 “N’ihi na ndị a ajụla
mmiri Shiloa* nke ji nwayọọ na-asọ
ma na-aṅụrị ọṅụ n’ihi Rezin
na nwa nwoke Remalaya,
7 ya mere, Onyenwe anyị na-aga iweta
iju mmiri nke osimiri Yufretis megide ha,
bụ eze ndị Asịrịa ya na ebube ya niile.
Ọ ga-erubiga oke, gafee ụzọ ya niile,
ọ ga-erubiga ma tofeekwa ọnụ ya niile,
8 wụsịakwa n’ala Juda niile. Ọ ga-erikpu ala Juda niile,
ọ ga-agabiga, kpuchiekwa ọ bụladị n’olu ka ọ ga-eru.
Nku ya ga-agbasa kpuchie obosara niile nke ala gị,
O Ịmanụel.”

9 Tienụ mkpu agha unu mba dị iche iche, ma a ga-etipịa unu.
Geenụ ntị unu mba niile dị ebe dị anya.
Kwadoonụ maka agha ma a ga-etipịa unu.
Kwadoonụ maka agha ka e tipịa unu.
10 Tụọnụ atụmatụ unu ma a ga-ekposa ya.
Wepụtanụ atụmatụ unu ma ọ gaghị eguzo
n’ihi na Chineke nọnyere anyị.†

*Tụọ egwu Onyenwe anyị*

11 Otu a ka Onyenwe anyị sịrị m n’ike nke aka ya dị n’ahụ, ọ dọrọ m aka na ntị ka
m ghara ije ije n’ụzọ ndị nke a, na-asị:
12 “Adịnyerela ha
n’ihe niile ha na-ezube ime na nzuzo megide ọchịchị;
ka ihe ha na-atụ egwu
hapụ ịbụ ihe ga-eme ka ị tụọ egwu.‡
13 Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, ya ka unu ga-edo nsọ.
Ya bụ onye unu kwesiri ịtụ ụjọ.
Ya bụ onye unu ga-atụ egwu ma jijiji.
14 Ọ ga-abụkwa ebe nsọ;§
nye ụlọ Izrel na Juda, ọ ga-aghọrọ ha
nkume nke na-eme ka ndị mmadụ sọọ ngọngọ,
oke nkume nke na-eme ka ha daa.
Ọ ga-abụkwara ndị Jerusalem
igbudu na ọnya nke ha ga-adaba n’ime ya.
15 Ọtụtụ n’ime ha ga-asọ ngọngọ;
ha ga-ada bụrụ ndị e tipịara.
Ha ga-abụ ndị ọnya ga-ama, na ndị a ga-anwude.”

16 Kechie ihe ịgba ama nke iwu a
kpuchie ntụziaka Chineke nke ọma n’etiti ndị na-eso ụzọ ya.
17 Aga m echere Onyenwe anyị,
onye na-ezonarị ụlọ Jekọb ihu ya ugbu a.
Aga m atụkwasị obi m na ya.

---

* **8:6** 8:6 Mmiri a, si n’isi iyi Gaihọn na-asọbata n’ime Jerusalem, inye ndị bi n’ime obodo mmiri ọṅụṅụ 2Ih 32:4,30 † **8:10** 8:10 Rom 8:31 ‡ **8:12** 8:12 Mgbe ndị Juda nụrụ ihe banyere njikọta aka dị n’etiti ndị Izrel na Siria, n’ihi ibuso ha agha, oke egwu tụrụ ha. § **8:14** 8:14 Maọbụ, Ebe mgbaba

[18] Lee mụ onwe m, na ụmụ ndị ONYENWE ANYỊ nyere m. Anyị bụ ihe ịrịbama na
ihe iji cheta ihe nye ndị Izrel site na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, onye
na-ebi n'ugwu Zayọn.

*Ọchịchịrị ghọrọ ìhè*

[19] Mgbe onye ọbụla sịrị unu, jụtanụ ndị na-ajụ mmụọ ọjọọ ase na ndị dibịa afa
ihe, bụ ndị na-ekwu okwu n'olu dị nta nke mmadụ na-adịghị anụ nke ọma na ndị
na-atamu atamu, ndị mmadụ ọ gaghị ajụ Chineke ha ase? Ọ bụ n'ihi gịnị ka eji jụta
ndị nwụrụ anwụ ase n'ihi ndị dị ndụ? [20] Lezienụ okwu ntụziaka na nke ịdọ aka
na ntị Chineke anya. Ọ bụrụ na ozi ha dị iche na nke a, o gosiri na ha enweghị ìhè
maọbụ eziokwu ọbụla n'ime ha. [21] Ndị a ga-awagharị n'ala a niile. Agụụ ga-agụ ha,
ha ga-adakwa mba. N'ọnọdụ oke agụụ nke ga-agụ ha, iwe dị ukwuu ga-ewe ha, mee
ka ha lelie anya ha n'elu, kọchaa eze ha, na Chineke ha. [22] Mgbe ahụ, ọ bụrụ na ha
eledata anya ha n'ala ọ bụ naanị oke nsogbu na oke ihe mgbu ka ha ga-ahụ. Ha ga-
ahụkwa oke ihe egwu na ọchịchịrị. Ụzọ mgbapụ agaghị adịkwara ha n'oge nsogbu
a. A ga-achụbanye ha n'ime ọchịchịrị.

# 9

*A mụụrụ anyị otu nwa*

[1] Ma otu ọbụla o siri dị, oge ahụhụ na ọchịchịrị na iru ụjụ ahụ agaghị adịgide nye
ndị ahụ nọ na nkpa. N'ihi na n'oge gara aga, o mere ka e leliạ ala Zebụlọn na ala
Naftalị anya, ma n'oge dị n'ihu, ọ ga-eme ka a asọpụrụ Galili nke mba niile, nke dị
n'akụkụ osimiri, n'ofe Jọdan.

[2] Ndị nọ na-agagharị n'ọchịchịrị
ahụla ìhè dị ukwuu;
ndị ahụ bi n'ala nke onyinyo ọnwụ
ka ìhè nwukwasịrị.
[3] I meela ka mba ahụ baa ụba dịrị ukwuu,
mee ka ọṅụ ha dịkwa ukwuu,
ha na-enwe ọṅụ n'ihu gị,
dịka ọṅụ nke ndị ọrụ ubi n'oge owuwe ihe ubi,
dịka ndị agha na-etegharị egwu ọṅụ
mgbe ha na-ekesa ihe a kwatara n'agha.*
[4] N'ihi na dịka n'ụbọchị nke Midia,
i gbajisiela
ibu arọ niile e bokwasịrị ha,
ihe mgbochi nke dị n'ubu ha,
nke bụ mkpara ndị na-akpagbu ha.
[5] N'ihi na akpụkpọụkwụ nke ndị agha na-eyi,
na uwe agha nke ọbara mechuru,
ha ga-abụ ihe a ga-agba ọkụ,
ha ga-abụ ihe ndị ga-eme ka ọkụ ree nke ọma.
[6] N'ihi na amụọrala anyị otu nwa,
e nyekwala anyị otu nwa nwoke.
Ọ ga-abụkwa onye ga-achị anyị.
Ndị a ga-abụ aha ya,
Onye Ndụmọdụ dị Ebube, Chineke bụ dike,
Nna nke mgbe ebighị ebi, Eze Udo.

---
* **9:3** 9:3 Nke a bụ banyere mmeri Gidiọn meriri ndị Midia Nkp 7; 8:1-21

7 Alaeze† ya ga-aba ụba, ọchịchị eze ya ga-abụ n’ọnọdụ udo
nke na-enweghị ọgwụgwụ.
Ọ bụ n’ocheeze Devid ka ọ ga-anọkwasị,
chịakwa n’alaeze ya.
Ọ ga-eme ka alaeze ahụ guzosie ike;
ọ bụkwa ikpe ziri ezi na ezi omume ka ọ ga-eji chịa
site n’oge ahụ ruo mgbe ebighị ebi.
Ịnụ ọkụ nke ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
ga-emezukwa nke a.

### *Iwe ONYENWE ANYỊ megide Izrel*

8 Onyenwe anyị eziela ozi megide Jekọb
ọ ga-adakwasịkwa Izrel.
9 Ndị ahụ niile ga-amatakwa ya,
Ifrem na ndị bi na Sameria ga-amatakwa
bụ ndị na-eji nganga
na mpako na-ekwu sị,
10 “Nkume brik ndị ahụ adakpọsịala
ma anyị ga-eji nkume a waziri awazi wughachi ha;
ọ bụ ezie na e gbutusịala osisi sikamọ niile anyị ji wuo ụlọ anyị,
ma anyị ga-eji osisi ọma sida dochie ha.”
11 Ma ONYENWE ANYỊ a kpaliela ndị iro Rezin‡ ka ha bilie megide ha,
ọ kwaliekwala ndị iro ha.
12 Ndị Aram sitere n’ọwụwa anyanwụ, na ndị Filistia sitere n’ọdịda anyanwụ
ha e werela ọnụ ghere oghe richapụ Izrel.

Ma n’agbanyeghị ihe ndị a niile, iwe ya alaghachibeghị azụ,
aka ya ka setịpụkwara esetipụ.

13 Ma ọ bụ ezie na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile ataala ha ahụhụ dị otu a,
ndị Izrel echegharibeghị, ha alọghachikwutebeghị ya.
14 N’ihi ya, n’otu ụbọchị, ONYENWE ANYỊ ga-ebibi ndịisi Izrel na ndị ọdụdụ,
ọ ga-ebibikwa alaka nkwụ na osisi achara niile.
15 Ndị okenye na ndị a maara aha ha bụ ndịisi ha,
ndị amụma ụgha bụ ọdụdụ ha.
16 N’ihi na ndị ndu nke ndị ya eduhiela ha;
ndị na-ezi ha ụzọ emeela ka ha kpafuo.
17 Ya mere, Onyenwe anyị agaghị enwe mmasị n’ụmụ okorobịa ahụ,
ọ gaghị enwekwa obi ebere n’ebe ụmụ ndị na-enweghị nna maọbụ n’ebe ụmụ
nwanyị na-enweghị dị nọ,
n’ihi na onye ọbụla n’ime ha adịghị asọpụrụ Chineke, bụrụkwa ndị ajọ omume,
ọnụ onye ọbụla na-ekwu ihe nzuzu.

Ma n’agbanyeghị ihe ndị a niile, iwe ya alaghachibeghị azụ,
aka ya ka setịpụkwara esetipụ.

18 N’ezie, ajọ omume na-ere dị ka ọkụ:
ọ na-erepịa ogwu na uke,

---

† **9:7** 9:7 Mgbe a kpọrọ Jekọb, maọbụ Izrel, maọbụ Ifrem na Sameria, ha niile dịnyere otu alaeze. Alaeze dị n’akụkụ ugwu obodo ahụ nke isi obodo ya bụ Sameria. ‡ **9:11** 9:11 Ndị iro Rezin bụ ndị Siria, Filistia, Tiglat-Pilesa na ndị agha ya so buso Izrel agha.

ọ na-emekwa ka oke ọhịa nwuru ọkụ,
mee ka anwụrụ ọkụ si na ya rigoruo na mbara eluigwe.
19 N'ihi iwe ahụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ewe,
ahụhụ ọ ga-enye ga-adị ka ọkụ na-ere ere;
ọ na-erepịa ala ahụ niile na ndị bi n'ime ya;
ọ dịkwaghị onye ga-azọpụta ibe ya.
20 N'ala ahụ niile, ma n'aka nri ma n'aka ekpe,
onye ọbụla ga-agbalị ịdọtara onwe ya ihe oriri.
Ha ga-eri
ma afọ agaghị eju ha;
n'ezie, ha ga-eri ọ bụladị anụ ahụ ụmụ nke aka ha.
21 Ndị Manase ga-alụso ndị Ifrem ọgụ, ndị Ifrem ga-alụsokwa ndị Manase ọgụ.
Ha abụọ kwa ga-ejikọta aka lụso Juda ọgụ.

Ma n'agbanyeghị ihe ndị a niile, iwe ya alaghachibeghị azụ.
Aka ya ka setịpụkwara esetipụ.

# 10

1 Ahụhụ na-adịrị ndị niile na-atụpụta iwu na-ezighị ezi;
ndị niile na-atụpụta iwu mmegbu,
2 iji napụ ndị ogbenye ihe ruru ha
nakwa ịnapụ ndị m a na-emegbu emegbu ikpe ziri ezi,
na-emekwa ka ụmụ nwanyị di ha nwụrụ bụrụ anụ oriri ha
na izunara ụmụ na-enweghị nne na nna ihe ha nwere.
3 Gịnị ka unu ga-eme n'ụbọchị m ga-abịa ileta unu?
Gịnị ka unu ga-eme n'ụbọchị m ga-eweta ịla n'iyi, nke ga-esi n'ebe dị anya bịara unu?
Onye ka unu ga-agbakwuru maka enyemaka?
Ọ bụ ebe ka unu ga-ahapụ akụ unu niile?
4 Mba, ọ dịghị ihe ga-afọdụ; karịa na a ga-egbu unu n'ihu ọgụ,
maọbụ dọkpụrụ unu dịka ndị mkpọrọ.

Ma n'agbanyeghị ihe ndị a niile, iwe ya alaghachibeghị azụ,
aka ya ka setịpụkwara esetipụ.

*Ikpe ọmụma Chineke nke dịrị Asịrịa*

5 "Ahụhụ ga-adịrị Asịrịa onye bụ mkpara nke iwe m.
N'aka ya ka mkpọ nke ọnụma* m dị.
6 Ana m ezipu ya imegide mba a na-amaghị Chineke,
m na-eziga ya imegide ndị na-akpasu m iwe,
ka ha kwakọrọ ihe nkwata n'agha ha, pụnakwara ha ụfọdụ n'ike,
nakwa ịzọtọ ndị ha niile n'ala dịka apịtị nke okporoụzọ.
7 Ma ọ bụghị ihe a ka o zubere,
nke a abụghị ihe ọ na-eche n'obi ya;
o zubere ịla ndị m n'iyi,
na ibibi ọtụtụ mba dị iche iche.
8 Ọ sịrị, 'Ndị ọchịagha m niile ha abụghị ndị eze?'
9 'Ọnọdụ Kalno ọ dịghị ka nke Kakemish?

* **10:5** 10:5 Maọbụ, oke iwe

Hamat ọ dịghị ka Apad;
Sameria ọ dịghịkwa ka Damaskọs?
10 Dịka aka m si chịkọta alaeze dị iche iche nke ọtụtụ arụsị,
alaeze dị iche iche nke arụsị apịrị apị ha karịrị nke Jerusalem na Sameria.
11 Ọ bụ na m agaghị emekwa Jerusalem na arụsị ya niile apịrị apị
dịka m mere Sameria na arụsị ya niile?' "
12 Mgbe Onyenwe anyị rụsịrị ọrụ ya niile megide ugwu Zayọn na Jerusalem, ọ ga-
asị, "Aga m ata eze ndị Asịrịa ahụhụ n'ihi nganga nke obi ha, na ịnya isi nke anya
mpako ya. 13 N'ihi na ọ na-asị,
" 'Ọ bụ site n'ike aka m, ka m ji mee nke a,
ọ bụkwa na amamihe m, n'ihi na m nwere nghọta.
Ewezugara m oke ala mba niile dị iche iche,
apụnara m ha akụ ha niile;
dịka onye dị ike, e wedara m ndị eze ha niile n'okpuru m.
14 Dịka mmadụ si agbatị aka n'ime akwụ nnụnụ,
otu a ka m chịkọtara akụnụba mba dị iche iche,
dịka mmadụ si achịkọta akwa ahapụrụ ahapụ,
otu a ka m chịkọtara mba ụwa niile;
Ọ dịghị onye megharịrị otu nku,
maọbụ saghee ọnụ ya ime mkpọtụ!' "

15 Anyụike ọ ga-anya isi sị na ya dị ukwuu karịa onye na-eji ya awa nkụ,
ka ọ bụ mma nkwọ, ọ ga-aja onwe ya karịa onye na-eji ya akpọwa ihe?
Dịka a ga-asị na okporo igwe ga-ebuli onye na-eweli ya elu,
maọbụ mkpọ ọ ga-efegharị onye na-abụghị osisi.
16 N'ihi ya, Onyenwe anyị, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
ga-ezitere ndị agha gị mara abụba ihe otiti;
ọ ga-akwanye ọkụ n'okpuru ihe ngosipụta nke ịdị ebube ya
dịka ire ọkụ nke na-ere ere.
17 Ìhè nke Izrel, ga-aghọ ọkụ,
Onye nsọ ha, ga-aghọkwa ire ọkụ nke ga-ala ihe niile n'iyi.
N'otu abalị ka ọ ga-erechapụ
ogwu niile na uke niile ọkụ.
18 A ga-ala ịma mma nke oke ọhịa ya na ala ya na-amị ezi mkpụrụ
n'iyi kpamkpam,
dịka mgbe ọrịa na-ala mmadụ n'iyi.
19 Naanị osisi ole na ole ga-afọdụ,
ha ga-adị ntakịrị ruo na nwantakịrị nwere ike gụọ ha ọnụ.

### *Ndị ga-afọdụ n'Izrel*

20 N'ụbọchị ahụ, ndị fọdụrụ n'ala Izrel,
na ndị fọdụrụ ndụ n'ụlọ Jekọb,
agaghịkwa adabere n'onye† ahụ
tidara ha,
kama ha ga-adabere naanị na ONYENWE ANYỊ,
Onye nsọ nke Izrel.
21 Ndị fọdụrụ ga-alọghachi, bụ ndị Nke Jekọb fọdụrụ
ga-alọghachikwute Chineke dị ukwuu.
22 Ọ bụ ezie na ndị gị Izrel dị ukwuu dịka aja dị n'akụkụ osimiri,
ọ bụ naanị mmadụ ole na ole ga-alọghachi.

† **10:20** 10:20 N'ebe a na-ekwu banyere mba Asịrịa.

A kabiela ịla n’iyi,
nke dị oke ukwuu ya na ezi omume.
23 E, Onyenwe anyị, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, ekpebiela
na ọ ga-ebibi ala ahụ niile.
24 Ya mere, ihe a ka Onyenwe anyị, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, sịrị,
“Unu ndị m, ndị bi na Zayọn,
unu atụkwala ndị Asịrịa egwu
bụ ndị na-eti unu mkpara igwe,
na-ewelikwa mkpọ megide unu dịka ndị Ijipt mere.
25 N’oge na-adịghị anya, iwe m ga-adajụ n’ebe unu nọ,
ma ọ ga-ebili megide ha, laakwa ha n’iyi.”

26 ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, ga-eji ụtarị tie ha ihe
dịka o sịrị tie ndị Midia ihe na nkume Oreb.
Ọ ga-eweli mkpanaka ya n’elu oke osimiri,
ọ ga-eweli ya dịka o mere n’Ijipt.
27 N’ụbọchị ahụ, aga m eme ka unu nwere onwe
unu site n’ebe ndị Asịrịa nọ.
Ụdọ igwe ha kenyere unu n’olu ka m ga-adọbisi,
wezuga ibu arọ unu.

28 Ha erutela Ayịat;
ugbu a, ha nọ na Migrọn.
Ha na-edokọta ngwa agha ha na Mikmash.
29 Lee ka ha na-agabiga ụzọ warawara;
ha ekpebiela ịnọ ọnọdụ abalị na Geba!
Ndị Rema na-ama jijiji,
obodo Gibea nke bụ obodo Sọl agbapụla ọsọ ndụ.
30 Tienụ mkpu akwa unu ada Galim,
geenụ ntị unu ndị Laisha!
Leenụ ihe na-adanyere gị, gị Anatot!
31 Lee na Madmena nọ n’ọsọ,
ndị Gebim na-ezo onwe ha.
32 Ndị iro akwụsịla n’obodo Nob taa;
ha na-atụ ugwu Zayọn
na Jerusalem aka,
na-ekwere ya n’isi.

33 Lee Onyenwe anyị, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
ga-eji oke ike gbutuo ngalaba osisi niile.
Ọ ga-egbutukwa osisi ndị dị elu,
meekwa ka ndị toro ogologo dị ala.
34 Ya onwe ya ga-egbutu ha niile ka e si eji anyụike egbutu osisi dị n’oke ọhịa.
Lebanọn ga-adakwa n’ihu Onye ahụ dị ike dịka osisi dị n’oke ọhịa si ada.

# 11

*Ome si n’ezinaụlọ Jesi*

1 Ome ga-epupụta site n’ogwe osisi Jesi;
otu Alaka ga-esitekwa na mgbọrọgwụ ya tolite ga-amịkwa mkpụrụ.
2 Mmụọ ONYENWE ANYỊ ga-enwekwa ọnọdụ n’ime ya,

inye ya Mmụọ amamihe na Mmụọ nghọta,
Mmụọ ndụmọdụ na ike,
Mmụọ ihe ọmụma na nke ịtụ egwu ONYENWE ANYỊ.
3 Ihe ga-amasị ya bụ egwu ONYENWE ANYỊ.

Ọ gaghị ekpe ikpe site naanị n'ihe o ji anya ya abụọ hụ,
maọbụ gbubie ikpe site naanị n'ihe ọ nụrụ na ntị ya.
4 Kama ọ bụ ezi omume ka ọ ga-eji kpee ndị ogbenye ikpe;
ọ bụkwa ikpe ziri ezi ka ọ ga-ekpere ndị na-adịghị ike nke ụwa.
Okwu ọnụ ka ọ ga-eji nye ndị mmadụ ahụhụ,
ọ bụ okwu ọnụ ka ọ ga-eji maa ndị ajọ omume ikpe ọnwụ.
5 Ezi omume ya ga-adị ka ihe ike n'ume,
ma ikwesi ntụkwasị obi ga-abụ ihe okike ukwu ya.

6 N'ụbọchị ahụ, nkịta ọhịa na nwa atụrụ ga-ebikọ n'udo;
agụ na nwa ewu ga-amakpukọkwa.
Nwa ehi na ụmụ ọdụm na nwa ịnyịnya mara abụba ga-anọkọtakwa,
ọ bụkwa nwantakịrị ga na-edughari ha.
7 Nne ehi na anụ ọhịa bịa ga-atakọkwa ahịhịa n'otu ebe,
ụmụ ha ga-amakpukọkwa n'udo n'otu ebe.
Ọdụm ga-atakwa ahịhịa dịka ehi.
8 Ụmụntakịrị ga-egwugharị egwu n'akụkụ ọnụ ajụala;
nwantakịrị ga-etinyekwa aka n'akwụ ibi.
9 Ha agaghị eme ihe mmerụ maọbụ bibikwa ihe,
n'elu ugwu nsọ m niile.
N'ihi na ụwa niile ga-ejupụta na ihe ọmụma
nke ONYENWE ANYỊ dịka mmiri si ekpuchi oke osimiri.
10 N'ụbọchị ahụ, mgbọrọgwụ Jesi ga-eguzo ka ọkọlọtọ nye ndị dị iche iche. Mba
niile ga-abịakwute ya; ebe izuike ya ga-ejupụtakwa n'ebube. 11 N'ụbọchị ahụ,
Onyenwe anyị ga-esetikwa aka nke ugboro abụọ* inwetaghachiri onwe ya ndị ya
fọdụrụ site na Asịrịa, sitekwa na ndịda Ijipt, sitekwa na Mgbago Ijipt,† sitekwa na
Kush, sitekwa na Elam, sitekwa na Babilọn, bụ Shaịna, sitekwa na Hamat na obodo
niile dị n'ala niile osimiri gbara gburugburu.
12 Ọ ga-ebuliri mba niile ọkọlọtọ
ọ ga-akpọghachite ụmụ Izrel achụpụrụ achụpụ,
ọ ga-esite na nsọtụ anọ nke ụwa
kpokọta ndị Juda niile site n'ebe a chụsasịrị ha.
13 Ekworo Ifrem ga-akwụsị,
a ga-ebipụ ndị iro Juda.
N'ikpeazụ, ekworo ahụ nke dị n'etiti Izrel na Juda ga-akwụsị‡;
ha agaghị alụsokwa onwe ha ọgụ ọzọ.
14 Ha ga-ejikọta aka ha buso ndị Filistia nọ n'akụkụ ọdịda anyanwụ ala ha agha;
ha ga-ebusokwa ndị bichiri n'akụkụ ọwụwa anyanwụ ala ahụ agha.
Ha ga-emeri ndị Edọm na Moab.
Ndị Amọn ga-erubekwara ha isi.
15 ONYENWE ANYỊ ga-eme
ka warawara ọnụ osimiri Ijipt taa.
Ọ ga-eji ifufe siri ike, nke na-ekpo ọkụ

* **11:11** 11:11 Okwu a, "nke ugboro abụọ," na-egosi na onwe mgbe ha lọtara n'oge gara aga. Nlọghachi mbụ ha, bụ oge ha si Ijipt lọta. † **11:11** 11:11 Maọbụ, Patros ‡ **11:13** 11:13 Aịz 9:21; Jer 3:18; Izk 37:16,17,22

mikọrọ mmiri dị n’osimiri Yufretis.
Ọ ga-ekewa ya ka ọ bụrụ isi iyi asaa,
nke mmadụ nwere ike iji ụkwụ gafee.
16 Ọ ga-esite n’Asịrịa kpawaa ụzọ
n’ihi ndị ya fọdụrụ n’ebe ahụ,
dịka o si meere ndị Izrel n’oge gara aga,
mgbe ha si n’Ijipt na-alọta.

# 12

*Abụ Otuto*

1 N’ụbọchị ahụ, ị ga-ekwu sị,
“Aga m eto gị ONYENWE ANYỊ.
Ọ bụ ezie na ị wesara m iwe,
ma ugbu a, iwe gị adajụọla;
ị kasịkwara m obi.
2 N’ezie, Chineke bụ onye nzọpụta m;
aga m atụkwasị ya obi, ụjọ agaghị atụkwa m.
ONYENWE ANYỊ, Onyenwe anyị ya onwe ya, bụ ike m bụrụkwa abụ m,
ọ ghọrọla m onye nzọpụta.”
3 Ị ga-eji ọṅụ dọrọ mmiri
site n’olulu mmiri nke nzọpụta.
4 N’ụbọchị ahụ, ị ga-ekwukwa sị,
“Nyenụ ONYENWE ANYỊ otuto, Kwupụtakwa aha ya*;
meenụ ka amata n’etiti mba niile ihe niile ọ rụrụ†;
kwusaanụ na aha ya bu ihe e buliri elu.
5 Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ, n’ihi na o meela oke ihe dị ebube.
Meekwanụ ka ụwa niile mara ihe ọ rụrụ.
6 Ka ndị niile bi na Zayọn tie mkpu ọṅụ,‡ bụkwaa abụ.
N’ihi na Onye nsọ nke Izrel.§ dị ukwuu, e, ọ dị ike nke ukwuu, bụ Onye ahụ na-ebi n’etiti unu.”*

# 13

*Amụma e buru megide Babilọn*

1 Nke a bụ amụma megide Babilọn nke Aịzaya nwa Emọz hụrụ.
2 Welienụ ọkọlọtọ agha n’elu ugwu tọgbọrọ n’efu.
Kpọkuonụ ndị agha.
Feerenụ ha aka,
ka ha site n’ọnụ ụzọ ama nke ndị a maara aha ha bata n’ime obodo ukwu ahụ na-anya isi.
3 Enyela m ndị m kwadoro maka agha iwu;
akpọọla m ndị ọka agha m oku, bụ ndị na-aṅụrị ọṅụ na mmeri m, ka ha gosipụta oke iwe m.
E, ndị m kpọrọ bụ ndị ahụ na-aṅụrị ọṅụ ịhụ na m meriri ndị iro m.

4 Gee ntị nụrụ ụzụ na-ada n’ugwu niile;
gee ntị nụrụ ụzụ yiri ụzụ nke igwe mmadụ na-eme.
Gee ntị nụrụ mkpọtụ na-ada n’etiti alaeze dị iche iche.
Dịka mkpọtụ na-eme mgbe ọtụtụ mba na-ezukọta n’otu ebe.

---

* **12:4** 12:4 1Ih 16:8; Abụ 105:1 † **12:4** 12:4 Abụ 145:4-6. ‡ **12:6** 12:6 Zef 3:14,15 § **12:6** 12:6 Abụ 89:18
* **12:6** 12:6 Zef 3:17

Ọ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
na-achịkọta ndị agha ya n’ihi ibu agha.
5 Ha si n’obodo dị iche iche, nke dị anya
na nke dị na nsọtụ ụwa na-abịa.
Ha bu ngwa agha na-egosi oke iwe ONYENWE ANYỊ
na-abịa imebi ala ahụ niile.

6 Kwasienụ akwa ike n’ihi na ụbọchị ONYENWE ANYỊ dị nso,*
ụbọchị ahụ oke mbibi ga-esi n’aka Onye pụrụ ime ihe niile bịara unu.
7 N’ihi nke a, aka ndị mmadụ ga-ada mba,
obi ga-alọkwa ndị mmadụ mmiri.
8 Ha ga-ama jijiji n’ihi oke egwu.
Ahụ mgbu ga-abịakwasị ha
mee ka ha sụọ ude dịka nwanyị ime na-eme.
Ha ga-elerịta onwe ha anya n’ọnọdụ mgbagwoju anya, ha agaghị amakwa ihe ha ga-eme.
Ọnọdụ dị otu a ga-apụta ihe n’ihu ha.

9 N’ihi na lee, ụbọchị ONYENWE ANYỊ na-abịa,
ụbọchị nke obi ebere na-agaghị adịkwa, ụbọchị iwe na oke ọnụma.
A ga-ekpochapụ ala ahụ,
ya na ndị mmehie niile dị n’ime ya.
10 N’ihi na kpakpando niile nke eluigwe na kpakpando ndị ọzọ gbara ha gburugburu
agaghị egosipụta ìhè ha.
Anyanwụ ga-agba ọchịchịrị n’ọwụwa ya
ọnwa agakwaghị enye ìhè ya.
11 Aga m ata ụwa ahụhụ n’ihi mmehie ya,
taakwa ndị na-emebi iwu ahụhụ n’ihi mmehie ha.
Ịnya isi nke onye mpako ka m ga-egwepịa,
ya na nganga onye na-adịghị eme ebere.
12 Aga m eme ka mmadụ dị ụkọ karịa ọlaedo a nụchara anụcha,
ha ga-akọ ụkọ karịa ọlaedo si Ọfịa.
13 N’ihi na m ga-eme ka eluigwe maa jijiji,
meekwa ka e wezuga ụwa site n’ọnọdụ ya,†
n’ihi oke iwe‡ ga-ewe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile.
Ha ga-emezu n’ụbọchị ahụ ọ ga-ezipụta oke iwe ya dị ọkụ.

14 Ọ ga-erukwa na onye ọbụla n’ime ha ga-eche ihu ya n’ụzọ gawara ebe ndị ya nọ.
Ha ga-agbarakwa ọsọ laghachi n’ala nke aka ha
dịka mgbada na-agbanarị ndị na-achụ nta,
maọbụ ụmụ atụrụ ndị na-enweghị onye na-azụ ha.
15 Onye ọbụla e jidere n’ime ha ka a ga-amapu afọ,
onye ọbụla nke e jidere ka a ga-eji mma agha gbuo.
16 A ga-etipịa ụmụ ha na-aṅụ ara n’ihu ha;
a ga-anapụ ha ụlọ ha, merụkwaa ndị nwunye ha.

17 N’ihi na lee, aga m eme ka ndị Midia pụọ imegide ha;
ọ dịkwaghị ọlaedo
maọbụ ọlaọcha ha pụrụ iji megharịa ha anya.

---

* **13:6** 13:6 Izk 30:3; Ems 5:18; Zef 1:7; Mkp 6:17 † **13:13** 13:13 Heg 2:6 ‡ **13:13** 13:13 Abụ 110:5; Akw 1:12

18 Ha ga-eji ụta ha gbatusịa ụmụ okorobịa;
ha agaghị emekwara ụmụntakịrị ebere,
maọbụ gosi ụmụ na-etopụta etopụta obi ebere.
19 Babilọn, bụ ọla mma nke alaeze niile,
ịma mma na ebube ndị Kaldịa,
mgbe Chineke ga-akwatu ya
ọ ga-adị ka Sọdọm na Gọmọra.
20 Ọ gaghị abụ ebe obibi ọzọ ruo mgbe ebighị ebi.
Site n'otu ọgbọ ruo n'ọgbọ ọzọ ndị mmadụ agaghị ebi n'ime ya.
Ọ dịghị onye Arebịa na-ejeghari ejeghari ga-ama ụlọ ikwu ya n'ime ya;
ndị ọzụzụ atụrụ agaghị ekwe ka atụrụ ha makpuru n'ebe ahụ.
21 Ọ ga-abụ ebe obibi nye anụ ọhịa niile bi n'ọzara.
Ụlọ dị n'ebe ahụ ga-abụkwa ebe obibi nye nkịta ọhịa,
na ikwighịkwighị,
n'ebe ahụ kwa ka ụmụ mkpi ọhịa ga na-awụgharị.
22 A ga-anụkwa ụda akwa anụ ọhịa, na ịgbọ ụja nkịta ọhịa n'ime ụlọ ha niile e wusiri ike.
Nkịta ọhịa ga-ebikwa n'ime ụlọ ọma niile dị n'ebe ahụ.
Lee na oge ha ji emezu adịla nso,
a gaghị emekwa ka oge imezu ihe ndị a dị anya.

# 14

1 Ma ONYENWE ANYỊ ga-emekwara Jekọb ebere;
ọ ga-ahọpụtakwa ndị Izrel ọzọ,
meekwa ka ha lọghachi bịa biri n'ala nke aka ha.
Ọtụtụ ndị ọbịa dị iche iche ga-adịnyere ha,
soro ezinaụlọ Jekọb bikọtaa ọnụ.
2 Mba dị iche iche ga-enyere ha aka ịlọghachi n'ala ha,
nke Onyenwe anyị nyere ha.
Mba ndị a ga-aghọkwa ndị dị n'okpuru ụmụ Izrel,
ghọọkwara ha ndị ohu nwoke na nwanyị.
Ụmụ Izrel ga-adọtakwa n'agha ndị ahụ dọtara ha n'agha na mbụ,
ma chịakwa ndị ahụ kpagburu ha n'oge gara aga.
3 N'ụbọchị ahụ, Onyenwe anyị ga-eme ka ị pụọ site n'ihe mgbu na ihe mwute,
sitekwa na ndọgbu onwe unu n'ọrụ nke ịbụ ohu unu wetaara onwe unu, 4 unu ga-
achị eze Babilọn ọchị sị ya, Leenụ gị.
Ahaa, lee ka i si daa gị onye na-emegbu ndị mmadụ.
Lee ka ịkpa ike gị si gwụsịa!
5 N'ihi na ONYENWE ANYỊ anyajiela mkpara ndị na-eme ajọ ihe,
meekwa ka mkpara ndị na-achị achị,
6 nke sitere n'iwe tidasịa ndị mmadụ
na-esepụghị aka n'iti ha ihe,
nke ji nrubiga oke nke iwe ya megbuo mba dị iche iche
ya na oke mmekpa ahụ na-enweghị nkwusi.
7 Ụwa niile adaala jụ, ha enwekwaala izuike,
ha na-etipụ olu ịbụ abụ.
8 Ọ bụladị osisi junipa na osisi sida niile nke Lebanọn
na-aṅụrị ọṅụ megide gị na-asị,
"Agbajiela ike gị;

ugbu a ọ dịkwaghị onye ga-esogbu anyị ọzọ.”

9 Ala mmụọ na-eme mkpọtụ,
na-eche izute gị n’ọbịbịa gị;
ọ na-akpọte mmụọ nke ndị nwụrụ anwụ ịbịa kelee gị,
bụ ndị niile bụburịị ndị ndu n’ụwa,
ọ na-eme ka ha si n’ocheeze ha niile bilie
bụ ndị niile ahụ bụ eze na mba niile dị iche iche.
10 Ha niile ga-eji otu olu zaa,
ha ga-asị gị,
“Gị onwe gị adịghịkwa ike, dịka anyị na-adịghị ike;
Ị ghọọla otu onye n’ime anyị.”
11 Nganga ịbụ eze gị niile, na oke ụzụ ụbọ akwara gị,
ka a na-elikọta n’aja.
Ikpuru ga-aghọrọ anụ ahụ gị ebe ndina;
ọ bụkwa ikpuru ga-aghọ ihe mkpuchi ahụ gị.

12 Lee ka i si site n’eluigwe daa,
gị kpakpando ụtụtụ, nwa chi ọbụbọ.
Ọ bụ ezie na ị dị ukwuu n’ebe mba niile nke ụwa nọ na mbụ,
ma lee ka e si mee ka ị bụrụ onye a tụdara n’ala.
13 N’ihi na i kwuru ya n’obi gị sị,
“Aga m arịgoro n’eluigwe,
doo ocheeze m
n’elu kpakpando niile Chineke kere;
aga m anọdụkwa n’ugwu nzukọ,
na nsọtụ ugwu nsọ ahụ dị n’elu elu ugwu, tụọ iwu.
14 Aga m arịgo n’ebe kachasị elu nke eluigwe,
mee onwe m ka m dịrị ka Onye kachasị ihe niile elu.”
15 Ma a ga-ewedata gị ala ruo n’ili,
ruo na nsọtụ ala mmụọ.

16 Ndị niile hụrụ gị na-elegide gị anya,
na-atule banyere ndụ gị, sị,
“Ọ bụ nwoke a bụ onye ahụ mere ka ụwa maa jijiji,
onye mekwara ka alaeze mee mkpọtụ.
17 Ọ bụ onye a bụ onye ahụ mebiri ụwa mee ya ka ọ dị ka ọzara?
Ọ bụ ya tikpọrọ obodo ukwu ya niile,
jụkwa ịhapụ ndị ọ dọtara n’agha ka ha laa?”

18 Ndị eze mba niile dị iche iche
na-edina na nsọpụrụ n’ime ili ha.
19 Ma ozu gị ka a tụpụrụ
dịka alaka osisi rụrụ arụ, nke gbajiri agbaji.
Ọ bụkwa ozu ndị niile e gburu n’agha,
na ozu ndị e ji mma agha mapuo afọ,
ndị na-arịdaru n’olulu nkume, ka e ji kpuchie gị n’ili gị.
E, ozu gị dị ka ozu nke ịnyịnya zọtọrọ ụkwụ.
20 A gaghị eli gị dịka e si lie ndị eze ndị ọzọ,
n’ihi na i bibiela ala gị.
I gbukwaala ndị gị.

A gaghị akpọtụkwa aha ụmụ ụmụ
ndị na-emebi iwu ọzọ.
21 Dozienụ ebe a ga-anọ gbuo ụmụ ya ndị ikom,
n'ihi mmehie nke ndị bụ nna ha.
Ha agaghị ebili nweta ala ahụ,
mee ka elu ụwa jupụta n'obodo ha niile.

22 N'ihi na mụ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwupụtara sị,
"Aga m ebili megide ha;
aga m esitekwa na Babilọn bipụ aha ndị fọdụrụ,
na ụmụ ha na ụmụ ụmụ ha.
Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri ya.
23 Aga m eme ka Babilọn ghọọ ụlọ obibi nye ikwighịkwighị,
na ebe mmiri ga na-adọkọ.
M ga-eji azịza ịla n'iyi zachapụ ha."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri ya.

### *Amụma e buru megide Asịrịa*

24 ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile aṅụọla iyi kwuo sị,
"N'ezie, dịka m si tụọ ya n'obi m, otu a ka ọ ga-emekwa.
Ọ ga-eguzosikwa ike dịka m si zube ya.
25 M ga-etipịa ndị Asịrịa n'ala m,
n'elu ugwu m ka m ga-anọ zọpịa ha n'okpuru ụkwụ.
A ga-ebupụ ibu arọ ya site n'ahụ ndị m,
a ga-ewezugakwa ibu arọ ya site n'ubu ha."

26 Nke a bụ nzube ahụ nke ezubere maka ụwa niile;
nke a bụkwa aka ahụ esetipụrụ n'elu mba niile dị iche iche.
27 N'ihi na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ dike n'agha, ezubela ime ya.
Onye kwa pụrụ ịgbanwe nzube ya?
O setịpụla aka ya, onye pụrụ ime ka o weghachi ya azụ?

### *Amụma e buru megide ndị Filistia*

28 Amụma a bịara n'afọ ahụ eze Ehaz nwụrụ:
29 Unu aṅụrịla ọṅụ, unu ndị Filistia,
maka na mkpọrọ e ji eti unu ihe agbajiela;
Ọ bụ ezie na ọ gbajiela, ma ihe ga-esite n'ọdụdụ agwọ ahụ pụta bụ ajụala,
mkpụrụ ya ga-abụ agwọ ọjọọ, nke na-amagharị ebe niile.
30 Ndị bụ nnọọ ogbenye ga-achọta ihe oriri,
ndị mkpa na-akpa ga-ebikwa n'udo.
Ma aga m eji agụụ na ụnwụ
laa ndị fọdụrụ ndụ n'etiti unu n'iyi.

31 Kwasie akwa ike gị ọnụ ụzọ ama! Tie mkpu gị obodo!
Tụọnụ oke egwu unu ndị Filistia.
N'ihi na lee, ndị agha a zụziri azụzi si n'ugwu na-abịa imegide gị.
Ọ dịghị onye na-aga iche n'etiti ahịrị ha.
32 Ọsịsa dị aṅaa ka anyị ga-enye
ndị ozi si na mba ahụ?
Gwa ha na ONYENWE ANYỊ emeela ka Zayọn guzosie ike.
Ọ bụkwa n'ime ya ka ndị ya e wedara n'ala ga-achọtara onwe ha ebe mgbaba.

# 15

*Amụma e buru banyere Moab*

1 Amụma megide Moab:
Ar dị na Moab a laala n’iyi,
a lara ya n’iyi naanị n’otu abalị.
Kia dị na Moab a laala n’iyi,
a lara ya n’iyi naanị n’otu abalị.*
2 Ndị niile bi na Dibọn
na-aga n’ihu ụlọ mmụọ ha ịkwa akwa. Ndị
Moab na-akwa akwa n’ihi Nebo na Medeba.
Isi ha niile bụ isi nkwọcha,
afụọnụ ha niile ka akpụchakwara.
3 Ha na-eyi akwa mkpe na-agagharị n’ezi,
mkpu akwa na-ada n’elu ụlọ, na n’ama.
Ha niile ji iti mkpu na ịkwa akwa
na-ada n’ala.
4 Heshbọn na Eleale na-eti mkpu akwa,
a na-anụ olu akwa ha ọ bụladị ruo Jehaz.
N’ihi nke a, ndị agha Moab na-eti mkpu akwa,
mkpụrụobi ha na-amakwa jijiji.

5 Ọ na-ewute mkpụrụobi m n’ihi Moab,†
ndị ya na-agba ọsọ ruo ọ bụladị n’obodo Zoa
na Eglat Shelishiya.
Ha na-akwa akwa
dịka ha na-arịgo Luhit.‡
Mgbe ha na-agbago ụzọ Heronaim,
ha na-ebe akwa mwute n’ihi mbibi bịakwasịrị ha.
6 Mmiri Nimrim atachaala!
Ahịhịa akpọnwụọkwala;
ahịhịa ndụ niile agwụkwala
o nwekwaghị akwụkwọ ndụ nke fọrọ.
7 Ya mere akụnụba ha kpakọbara ndị ha chekwara
ka ha buuru gafee ofe ndagwurugwu warawara nke ọdọ mmiri osisi pọpla niile.
8 Mkpu akwa ha na-ada ụda gburugburu oke ala Moab niile;
akwa ha na-ebesi ike na-ada ruo obodo Eglaim;
abụ akwa ha na-erukwa Bịa-Elim.
9 Iyi Dibọn jupụtara n’ọbara,
ma aga m atụkwasịkwa ọ bụladị ọtụtụ ihe ndị ọzọ n’elu Dibọn!
Ọdụm ka a ga-atụkwasịrị ndị Moab§ gbapụrụ
tụkwasịkwara ndị fọdụrụ n’ala ahụ.

# 16

1 Ziganụ ụmụ atụrụ dịka onyinye
nye onye na-achị ala ahụ
site na Sela, gafee n’ụzọ ọzara
ruo ugwu nke Ada Zayọn.

---

* **15:1** 15:1 Obodo Ar na Kia, bụ obodo abụọ dị mkpa n’ala ndị Moab. † **15:5** 15:5 Aịz 16:11; Jer 48:31 ‡ **15:5** 15:5 Jer 48:5 § **15:9** 15:9 2Ez 17:25; Jer 50:17

2 Ndị inyom Moab
nọkwa n'ọnụ mmiri Anọn*
na-akwụgharị
dịka ụmụ nnụnụ e si n'akwụ ha chụpụ.

3 Moab na-asị, "Nwee mkpebi na mmụọ gị,"
"Kwubie okwu n'ihe ị kpebiri.
Mee ka onyinyo gị dịrị ka abalị
n'etiti oke ehihie.
Zobe ndị gbapụrụ ọsọ ndụ,
ekpugheela onye na-achọ ebe nchebe.
4 Ka ndị Moab achụpụrụ achụpụ nọrọ n'etiti unu,
ghọrọ ha ebe nchebe pụọ n'aka onye mbibi ahụ."

Onye mmegbu ahụ nwere ọgwụgwụ,
mbibi ga-akwụsịkwa,
onye ahụ na-azọda mmadụ ga-agwụchakwa site n'ala ahụ.
5 A ga-ehiwe otu ocheeze site n'ịhụnanya;
otu nwoke ga-anọkwasị n'elu ya site n'ikwesị ntụkwasị obi,
otu onye sitere n'ụlọ ikwu Devid,
bụ, onye mgbe ọ na-ekpe ikpe, na-achọ ikpe ziri ezi,†
na-emekwa ngwa ime ezi omume.

6 Anyị anụla akụkọ banyere Moab,
nụkwa ihe banyere nganga‡ ya na aghụghọ ya niile.
Obodo ahụ na-anya isi, nke nganga juru obi?
Ugbu a, lee na ịnya isi ha erijughị afọ.
7 Ya mere, ndị Moab niile na-eti mkpu akwa,
ha na-ebetara Moab akwa.
Kwasie akwa ike, nwee mwute,
n'ihi achịcha e ji mkpụrụ osisi a mịkpọrọ amịkpọ mee nke Kia Hereset.
8 Lee ka ubi niile nke Heshbọn si tọgbọrọ n'efu;
osisi vaịnị ha niile dị na Sibma akpọnwụsịala.
E, ndị eze mba dị iche iche azọdala
ọtụtụ osisi vaịnị ọma ndị a niile n'ụkwụ.
E, osisi vaịnị ndị gbatịrị ruo Jeza,
ruokwa n'ọzara,
nke mgbọrọgwụ ha gbasara
ruo n'ọnụ osimiri.
9 N'ihi ya, ana m akwa akwa dị ka ndị Jeza§ si akwa akwa
n'ihi ubi vaịnị Sibma.
Anya mmiri akwa m ga-ede gị ahụ
gị Heshbọn, na gị Eleale,*
n'ihi na e meela ka ụzụ mkpu ọṅụ nke na-ada
mgbe a na-ewe ihe ubi n'ime gị gharakwa ịdị ọzọ.
10 Ewepụla ọṅụ na obi ụtọ site n'ubi na-amị mkpụrụ ọma,
ọ dịghị onye na-abụ maọbụ tie mkpu ọṅụ n'ubi vaịnị a gbara ogige;
ọ dịkwaghị onye na-azọchapụta mmanya m vaịnị n'ebe ịzọcha mmanya;

* **16:2** 16:2 Mmiri Anọn nke dị n'akụkụ ugwu oke ala ahụ, bụ iyi dị mkpa n'ala Moab Ọnụ 21:13-14 † **16:5** 16:5 Aịz 9:6-7; Aịz 32:1; Dan 7:14; Luk 1:33; Mkp 11:15 ‡ **16:6** 16:6 Jer 48:29; Ọbd 3; Zef 2:8 § **16:9** 16:9 Aịz 15:4 * **16:9** 16:9 Ọnụ 32:3; Jer 48:34

n'ihi na emeela m ka iti mkpu ọṅụ niile kwụsị.
11 Mkpụrụobi m na-enwe mwute n'ihi Moab dịka ụbọ akwara,
ime mmụọ m kwa n'ihi Kia Heres.
12 Mgbe Moab ga-egosipụta onwe ya n'ebe ya dị elu,
ọ na-eme naanị ka ike gwụ ya,
mgbe ọ ga-aga ikpe ekpere n'ihu mmụọ ya,
o nweghị uru nke a ga-abara ha.
13 Ihe ndị a niile bụ okwu ONYENWE ANYỊ kwuru banyere Moab na mbụ, 14 ma ugbu
a ONYENWE ANYỊ na-ekwu, sị, "Tupu afọ atọ agachaa, dịka onye e goro ọrụ† si agụ afọ,
a ga-eleli ugwu niile Moab nwere, ya na igwe mmadụ ya bara ụba. Ndị fọdụkwara
ndụ ga-adị naanị mmadụ ole na ole bụrụkwa ndị na-adịghị ike."

# 17

*Ozi e ziri banyere Damaskọs*

1 Nke a bụ amụma megide Damaskọs,* isi obodo Siria.
"Lee, Damaskọs agaghị adịkwa! Ọ gaghị abụkwa obodo ọzọ,
kama ọ ga-aghọ mkpọmkpọ ebe, nke zedara ezeda.
2 Ọ dịkwaghị onye ga-ebi n'ime n'obodo niile nke Aroea,
ọ ga-adịrị igwe atụrụ na ehi dị iche iche, ndị ga-amakpu,
ọ dịkwaghị onye ga-eme ka egwu tụọ ha n'ebe ahụ.
3 Ebe e wusiri ike nke Ifrem agaghị adịkwa,
ya na ike alaeze nke sị Damaskọs,
ndị fọdụrụ nke Aram ga-adị ka
ebube nke ndị Izrel,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri ya.

4 "N'ụbọchị ahụ, a ga-eme ka nsọpụrụ Jekọb nwere bụrụ ihe e wedara n'ala.
Abụba dịkwa ya n'ahụ ga-atalata.
5 Ọ ga-adị ka ubi e si n'ime ya wee ihe mkpụrụ site n'ọka guzoro ọtọ,
na-achịkọta mkpụrụ n'ogwe aka ha
dịka mgbe mmadụ na-atụtụkọta mkpụrụ site n'igbo ọka
n'ime Ndagwurugwu Refaim.
6 Ma ọ bụ ole na ole n'ime mkpụrụ ahụ ga-afọdụkwa,
dịka mgbe a kuchasịrị osisi oliv,
hapụ mkpụrụ abụọ maọbụ atọ, nke dị n'alaka kachasị elu,
maọbụ mkpụrụ anọ maọbụ ise a hapụrụ n'ọnụ ọnụ alaka nke ahụ mịrị mkpụrụ."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel kwubiri ya.

7 N'ụbọchị ahụ, ha ga-echeta onye kere ha,
nweekwa nsọpụrụ n'ebe Onye nsọ nke Izrel nọ.
8 N'ụbọchị ahụ, ha agaghị elekwasịkwa chi ha dị iche iche anya ka ha nyere ha aka.
Ha agakwaghị efe ihe ndị ahụ ha ji aka ha mee.†
Ha agakwaghị asọpụrụ chi nwanyị ha bụ Ashera,‡
maọbụ ebe ịchụ aja ụda na-esi isi ụtọ nke mkpịsịaka kpụrụ.
9 N'ụbọchị ahụ, obodo ha niile e wusiri ike, nke ha hapụrụ n'ihi ndị Izrel, ga-
adị ka ebe ahapụrụ ahapụ nye oke ọhịa na ahịhịa nke ọhịa. Ebe niile ga-abụ nnọọ
mkpọmkpọ ebe.

† **16:14** 16:14 Job 7:1; 14:6; Aịz 21:16 * **17:1** 17:1 Jen 14:15; 15:2; 2Ez 16:9; Jer 49:23; Ems 1:3-5; Zek 9:1; Ọrụ 9:2 † **17:8** 17:8 Aịz 2:8; 31:7 ‡ **17:8** 17:8 Ashera bụ chi nwanyị ndị Kenan. Ọ bụ osisi ka e ji egosipụta oyiyi ya na ọtụtụ ebe ịchụ aja ya. Nkp 3:7; Dit 12:3; 16:21

10 N'ihi na ị chezọla Chineke onye na-azọpụta gị.
I chetaghị Nkume ahụ, nke bụ ebe mgbaba gị.
Ya mere, ọ masịkwa gị kụọ ihe ọkụkụ dị iche iche nke dị ụtọ,
maọbụ manye alaka osisi vaịnị ị si n'ala ọzọ bubata,
11 ọ bụrụkwa na i mee ka ha too n'ụbọchị ahụ ị kụnyere ha n'ala,
maọbụ na ha mara ifuru n'ụtụtụ ụbọchị ahụ ị kụnyere ha n'ala,
ị gaghị aghọta mkpụrụ ọ mịrị,
n'ihi na ọ bụ naanị ọrịa na ihe mgbu ka ha ga-ewetara gị.

12 Ahaa, lee ụzụ nke ọtụtụ mmadụ na-eme,
nke yiri mkpọtụ oke osimiri.
Ọ bụ mkpọtụ nke mba dị iche iche;
ha na-eme mkpọtụ dị ka nnugharị nke ọtụtụ osimiri.
13 Ọ bụ ezie na ha na-agbọ ụja dịka mkpọtụ nke oke osimiri,
ma Chineke ga-abara ha mba nke ga-eme ka ha gbaa ọsọ.
A ga-achụsa ha dịka ifufe si efesa igbugbo ọka,
na dịka mpempe akwụkwọ ifufe siri ike na-ebugharị gburugburu gburugburu.
14 N'anyasị, ha na-eme ka oke egwu dịrị,
tutu ruo ụtụtụ, ha adịghịkwa.
Nke a bụ ihe nketa dịịrị ndị ahụ na-apụnara anyị ihe anyị nwere n'ike.
E, ọ bụ ihe nza ruru ndị ahụ ji ike na-anakọrọ anyị ihe anyị nwere.

# 18

*Amụma e buru banyere Kush*

1 Ahụhụ ga-adịrị ala ahụ a na-anụ ụzụ ọtụtụ nku n'ime ya,*
ala ahụ dị n'ofe iyi ukwu niile nke Kush.†
2 Ala nke na-ezipụ ndị ozi ya site n'osimiri,
bụ ndị na-eji ụgbọ mmiri papịrọs n'aga n'elu mmiri.

Gaanụ ngwangwa, unu ndị ozi dị nkọ
gakwuru ndị toro ogologo nke ahụ ha na-akwọ mụrụmụrụ,
gakwuru ndị a na-atụ egwu n'ebe niile,
mba na-achọ okwu na ụka, nke na-azọpịakwa azọpịa,
ndị osimiri dị iche iche kewara ala ha.

3 Unu niile bi n'elu ụwa dum,
na unu ndị nwere ebe obibi n'ụwa, geenụ m ntị.
Mgbe e buliri ọkọlọtọ elu n'elu ugwu niile,
lee anya;
mgbe a fụrụ opi ike,
gee ntị.
4 N'ihi na ihe ndị a bụ ihe Onyenwe anyị gwara m,
"Aga m anọ jụụ na-elepụ anya site n'ebe obibi m,
dịka mgbe igirigi na-ada n'oge okpomọkụ nke owuwe ihe ubi,
na dịka anyanwụ si acha n'oge okpomọkụ."
5 N'ihi na tupu oge owuwe ihe ubi eruo, mgbe ifuru dapụsịrị,
mgbe okoko na-aghọ mkpụrụ vaịnị nke ka na-achata achata,
ọ ga-eji mma oge gbuchapụ ụmụ alaka ya,

* **18:1** 18:1 Maọbụ, ụzụ igurube † **18:1** 18:1 N'oge Aịzaya onye amụma, ndị Kush n'achị Ijipt. Mgbe ha chọrọ ibuso ndị Asịrịa agha, ha rịọrọ ndị Palestin ka ha nyere ha aka.

ọ ga-egbutu ma wezugakwa alaka ndị ahụ na-awasa awasa.
6 A ga-ahapụ ozu ndị agha ha
ka anụ ufe nke ugwu na ụmụ anụ ọhịa rie ha.
Ụmụ nnụnụ ga-eri anụ ha n’oge okpomọkụ,
ma ụmụ anụ ọhịa ga-eri ha n’oge oyi.
7 Ma mgbe ahụ, a ga-ewetara ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile onyinye dị
iche iche,
site na ndị toro ogologo, ndị ahụ na-akwọ mụrụmụrụ,
site na ndị a na-atụ egwu n’ebe niile,
bụ mba ndị okwu na ụka,‡ nke na-azọpịakwa azọpịa,
ndị osimiri dị iche iche kewara ala ha.
A ga-eweta onyinye§ a n’Ugwu Zayọn, n’ebe ahụ a na-akpọku aha ONYENWE ANYỊ,
Onye pụrụ ime ihe niile.

# 19

*Amụma e buru banyere Ijipt*

1 Nke a bụ amụma megide Ijipt:
Lee, ONYENWE ANYỊ na-abịa imegide Ijipt,
ọ na-anọkwasịkwa n’eluigwe ojii nke na-agba ọsọ.
Arụsị ndị Ijipt niile na-ama jijiji n’ihu ya.
Ọzọ, n’ihi ụjọ obi ndị Ijipt na-agbaze n’ime onwe ha.

2 “Aga m akpali ndị Ijipt mee ka ha lụọ ọgụ n’etiti onwe ha.
Nwanne ga-emegide nwanne ya,
onye agbataobi ga-emegidekwa onye agbataobi ya;
obodo ga-emegide isi obodo;
otu a kwa, alaeze ga-emegidekwa alaeze.
3 Ndị Ijipt ga-ada mba n’ime mmụọ ha,
aga m eme ka nzube ha niile bụrụ ihe efu,
ha ga-ajụta arụsị na mmụọ ndị nwụrụ anwụ ase,
jụọkwa ndị na-ajụta mmụọ ọjọọ ase na ndị dibịa afa.
4 Onyenwe anyị, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile ekwuola ya sị,
Ọ bụ n’aka eze afọ tara mmiri,*
nke na-adịghị eme ebere,
ka m ga-enyefe ndị Ijipt, ka ọ bụrụ onye ga-achị ha.”

5 Mmiri dị n’osimiri ga-atada;
ọ ga-atakwa takọrọkwa.
6 Ụzọ niile osimiri Ijipt ahụ si asọgharị
ga-atalata bido n’isi isi.
Ahịhịa riidi niile na amị niile ga-akpọnwụsịkwa.
7 Ahịhịa ndụ niile dị n’akụkụ Naịl ga-akpọnwụ,
ifufe ga-efesakwa ha.
Mkpụrụ niile a kụrụ n’ebe ahụ ga-ala n’iyi,
ihe niile ga-anwụ.
8 Ndị ọkụ azụ ga-asụ ude, kwaa ụwa,
na ndị niile na-atụba nko azụ n’ime Naịl,
ndị na-agha ụgbụ n’elu mmiri

‡ **18:7** 18:7 Maọbụ, asụsụ dị iche § **18:7** 18:7 Abụ 72:10; Aịz 16:2; Zef 3:10 * **19:4** 19:4 Eze Shabaka, onye Kush chịrị ala Ijipt na senchuri nke asaa. Aịz 20:4; Jer 46:26; Izk 29:19

ga-ata ahụ.
9 Ndị n’arụ ọrụ flakisi etiri eti ga-eru ụjụ,
na ndị na-akpa akwa ọcha ka olileanya ha ga-agharịpụ.
10 Obi ụtọ agaghị adịkwara ndị na-esite n’ịkpa akwa enweta ego,
ha na ndị ọrụ dị iche iche a na-akwụ ụgwọ.

11 Naanị ndị nzuzu ka ndịisi Zoan bụ,
ndụmọdụ na-enweghị isi ka ndị na-adụ eze Ijipt ọdụ na-enye.
Ị ga-esi aṅaa gwa Fero,
“Abụ m otu n’ime ndị maara ihe,
onye si n’agbụrụ ndị eze ochie”?

12 Ebee ka ndị ikom gị ahụ maara ihe nọ ugbu a?
Ka ha gosi gị ma meekwa ka ị maara,
ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
zubere megide Ijipt.
13 Ndịisi obodo Zoan aghọọla ndị nzuzu,
ndịisi obodo Memfis† aghọkwaala ndị e duhiere eduhie;
ndị bụ nkume isi nkuku nke ndị ya niile
eduhiela ndị Ijipt ụzọ.
14 ONYENWE ANYỊ awụnyela n’ime ha
mmụọ nzuzu nke uche na-ezughị oke;
nke mere ka Ijipt na-adagharị n’ihe niile ọ na-eme
dịka onye ṅụbigara mmanya oke si adagharị n’ihe ọ gbọrọ.
15 Ọ dịghị ihe Ijipt nwere ike ime,
isi maọbụ ọdụ; alaka nkwụ maọbụ osisi achara.
16 N’ụbọchị ahụ, ndị ikom Ijipt ga-adị ka ndị inyom, ha ga na-ama jijiji n’egwu n’ihi
aka ahụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile weliri elu imegide ha. 17 Ala Juda
ga-ewetara ndị Ijipt oke egwu, oke ụjọ ga-atụ onye ọbụla akpọtaara aha Juda, n’ihi
ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ezube megide ha.
18 N’ụbọchị ahụ, obodo ise n’ime ala Ijipt ga-asụ asụsụ Kenan, ṅụọ iyi irubere
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile isi. Otu n’ime obodo ndị a ka a ga-akpọ
Obodo anwụ.
19 N’ụbọchị ahụ, ebe ịchụrụ ONYENWE ANYỊ aja ga-adị n’etiti ala Ijipt.‡ A ga-ewukwa
otu ogidi ncheta nye ONYENWE ANYỊ n’oke ala ha. 20 Nke a ga-abụ ihe ama na ihe
ngosi, na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile nọkwa n’Ijipt. Mgbe ha kpọkuru
ONYENWE ANYỊ maka ndị na-emegbu ha, ọ ga-aza ha, ọ ga-ezitere ha onye nzọpụta,
onye ga-azọpụta ha. 21 Ya mere, ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ndị Ijipt mara onye ọ bụ,
n’ụbọchị ahụ, ha ga-amata ONYENWE ANYỊ, jirikwa ịchụ aja na onyinye fee ya. Ha
ga-ekwe ONYENWE ANYỊ nkwa debekwa ya. 22 ONYENWE ANYỊ ga-eti Ijipt ihe otiti, ma ọ
ga-agwọkwa ha. Ndị Ijipt ga-alọghachikwute ONYENWE ANYỊ, ọ ga-aṅakwa ntị n’arịrịọ
ha gwọọkwa ha.
23 N’ụbọchị ahụ, a ga-enwe okporoụzọ atụliri atụli nke ga-esite na Ijipt ruo Asịrịa.
Ndị Asịrịa ga-aga Ijipt, ndị Ijipt ga-agakwa Asịrịa, ndị Ijipt na ndị Asịrịa ga-eso fee
ofufe. 24 N’ụbọchị ahụ ka Izrel ga-abụ nke atọ imezu Ijipt na Asịrịa, bụrụ ngọzị
n’ụwa. 25 ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile ga-agọzi ha, na-asị, “Ka ngọzị dịrị
Ijipt, ndị m, dịrị Asịrịa nke bụ akaọrụ m, na Izrel ihe nketa nke m.”

† **19:13** 19:13 Memfis bụ isi obodo ndị Ijipt n’oge ochie. Izk 30:13; Hos 9:6 ‡ **19:19** 19:19 Jen 28:18; Ọpụ 24:4; Jos 22:10,26,27

# 20

*Amụma e bụrụ banyere Ijipt na Kush*

1 N'afọ ahụ, Sagọn, eze Asịrịa, zipụrụ ọchịagha onye ọkwa ya kasị ukwuu, ka ọ
gaa buso Ashdọd agha. Ọ gara meriekwa ya n'agha. 2 N'oge ahụ ONYENWE ANYỊ
kwuru okwu site n'ọnụ Aịzaya nwa Emọz. Ọ sịrị ya, "Yipụ uwe mkpe iyi n'ahụ, ya
na akpụkpọụkwụ dị gị n'ụkwụ." O mere otu a, ọ gbaara ọtọ, jegharịakwa n'ụkwụ
efu.
3 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị, "Dị ka ohu m Aịzaya si gbara ọtọ jegharịa n'ụkwụ
efu afọ atọ ndị a niile, ọ bụ ihe ama na ihe ịdọ aka na ntị na-egosi ihe gaje ịbịakwasị
ndị Ijipt na ndị Kush.* 4 N'ihi na otu a ka eze Asịrịa ga-esi kpụrụ ndị Ijipt na ndị
Kush ọ dọtara n'agha. Ha ga-agba ọtọ na-ejegharị n'ụkwụ efu, ma nwantakịrị ma
okenye. Otule ha gba ọtọ ga-abụrụ Ijipt ihe ihere. 5 Egwu ga-ejide ndị ahụ niile
nwere nchekwube n'ike Kush, na ndị ahụ niile jiri Ijipt nyaa isi ga-ada mba. Ihere
ga-emekwa ha.† 6 N'ụbọchị ahụ, ndị ahụ dịnyeere ha, bụ ndị bi n'ọnụ mmiri ha
ga-asị, 'Ọ bụrụ na ihe dị otu a dakwasịrị ndị Ijipt anyị tụkwasịrị obi inyere anyị aka,
na ịnapụta anyị site n'aka eze Asịrịa, ebeekwanụ ka anyị ga-agbaga?' "

# 21

*Amụma e buru banyere Babilọn*

1 Amụma megide ọzara nke dị n'akụkụ oke osimiri:
Dịka oke ifufe si n'ọzara Negeb na-efebiga,
ka onye na-eme ihe ike ga-esi n'ọzara bịa,
site n'ala nke oke egwu.

2 Ahụrụ m ọhụ dị egwu, ọhụ oke mbibi,
na ọhụ oke nrara nye n'aka ndị mbibi, n'ebe onye na-apụnara mmadụ ihe n'ike na-akwakọta ngwongwo.
Bilienụ unu ndị agha Elam, buonu agha! Unu ndị agha Midia, gbaanụ obodo gburugburu!
Aga m eme ka ịsụ ude na mmegbu niile kwụsị.

3 N'ihi nke a, ahụ m niile nọ n'oke ihe mgbu,
oke ihe mgbu* zuru m ahụ, dịka ihe mgbu nke nwanyị ime na-eme.
Amara m jijiji n'ihi ihe m nụrụ,
ihe m na-ahụ na-agbagwoju m anya.
4 Obi m anọkwaghị jụụ,
oke ọma jijiji na-eme ka m tụọ egwu;
chi ojiji nke m na-ele anya ya
aghọọlara m ihe ịma jijiji.

5 Ha na-akwado tebul.
Ha na-edozi ute ịnọdụ ala,
ha na-eri, ha na-aṅụ.
Bilienụ ndịisi agha,
teekwanụ ọta niile mmanụ!
6 Ihe a ka Onyenwe anyị gwara m,
"Gaa, guzobe onye nche,
ka o kwuo ihe ọ na-ahụ.

* **20:3** 20:3 Nke a bụ mgbago Naịl † **20:5** 20:5 Aịz 30:3-5; 31:1; Izk 29:6-7 * **21:3** 21:3 Ya bụ, ahụ ụfụ

7 Mgbe ọ hụrụ ụgbọ agha,
na usuu ịnyịnya,
na ndị na-agba ịnyịnya ibu,
maọbụ ndị na-agba ịnyịnya kamel ka ha na-abịa abụọ abụọ,
gwa ya ka o lezie ha anya nke ọma,
nọọkwa na njikere.”
8 Onye nche na-elepụ anya tiri mkpu dịka ọdụm, sị,
“Onyenwe m, n’ehihie ụbọchị niile ka m na-eguzo n’elu ụlọ nche,
n’ọnọdụ nche m ka m na-eguzokwa abalị niile.
9 Lee, otu nwoke nọ n’ime ụgbọ agha na-abịa,
ya na ndị nọ n’elu ịnyịnya na-abịa abụọ abụọ.
O nyeghachiri ọsịsa ahụ,
‘Babilọn adaala, e ọ daala,
arụsị niile apịrị apị nke chi ya niile
a kurisiela tọgbọrọ n’ala.’ ”

10 O, ndị m, ndị a zọchara azọcha, dịka ọka a zọchara n’ebe ịzọcha ọka,
agwala m unu ihe
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
bụ Chineke Izrel kwuru.

### *Amụma banyere Edọm*

11 Nke a bụ amụma megide Duma:
Otu onye si na Sia na-akpọ m oku,
“Onye nche, gịnị ka ọ fọdụrụ tupu chi abọọ?
Onye nche, gịnị ka ọ fọdụrụ tupu chi abọọ?”
12 Onye nche zara sị,
“Chi ọbụbọ na-abịa, abalị na-abịakwa.
Ọ bụrụ na ị chọrọ ịjụ ajụjụ, jụọnụ ajụjụ,
ma laghachikwa ọzọ.”

### *Amụma e buru banyere Arebịa*

13 Amụma megide Arebịa:
Unu ndị ije niile nke Dedan,
ndị na-anọ ọnọdụ abalị n’oke ọhịa nke Arebịa,
14 kuterenụ ndị ahụ bịakwutere unu akpịrị na-akpọ nkụ mmiri ọṅụṅụ;
unu ndị bi n’ala Tema,
buterenụ ndị gbakwutere unu ọsọ ndụ nri.
15 N’ihi na ọ bụ site n’agha
nke e ji mma agha egbu ndị mmadụ,
na agha e ji akụ agbatu mmadụ
ka ha si na-agbapụ ọsọ.
16 Nke a bụ ihe Onyenwe anyị sịrị m, “Tupu otu afọ agwụ, dị ka esi agụ afọ onye
ohu e goro ọrụ, ịma mma Keda ga-agwụsị. 17 Ndị fọdụrụ ndụ n’ime ndị na-agba ụta,
ndị bụ dike n’agha na Keda, ga-adị mmadụ ole na ole.” ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke
Izrel ekwuola ya.

## 22

### *Amụma e buru banyere Jerusalem*

1 Amụma megide ndagwurugwu nke ọhụ.
Ọ bụkwa gịnị na-eme unu ugbu a

nke mere na unu niile rịgooro n’elu ụlọ?
2 Gị obodo jupụtara n’oke ọgbaaghara,
gị obodo oke ụzụ na-aṅụrị obi ụtọ?
Ndị unu niile nwụrụ anwụghị n’ime ọgbọ agha,
ma ọ bụkwanụ site na mma agha.
3 Ndịisi unu niile agbapụchaala.*
E jidechara ha niile na-enweghị àkụ ọbụla a gbapụrụ.
Unu niile e jidere ka a dọkpụụrụ n’otu dịka ndị mkpọrọ
bụ ndị ahụ gbapụrụ ọsọ mgbe ndị iro ka nọrịị ebe dị anya.
4 N’ihi nke a, asịrị m, “Lepụnụ m anya ka m nọọrọ onwe m;
ka m bee akwa dị ilu.
Unu anwakwala ịkasị m obi,
n’ihi mbibi e bibiri ndị m.”

5 Onyenwe anyị, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, nwee otu ụbọchị
ụbọchị ọgbaaghara na nzọda na ihe nke ịgba mmadụ gharịị,
n’ime ndagwurugwu nke ọhụ,
ọ bụ ụbọchị itida mgbidi
na nke itiku ugwu niile mkpu akwa.
6 Elam bu akpa àkụ,
ya na ndị nọkwasịrị n’elu ụgbọala na ịnyịnya ha;
Kia ewepụtakwala ọta.
7 Ụgbọala jupụtara na ndagwurugwu unu niile mara mma;
ndị na-agba ịnyịnya anọchisiela ọnụ ụzọ niile e si abanye n’obodo unu.

8 Onyenwe anyị wezugara ihe nchedo niile nke Juda,
n’ụbọchị ahụ unu legidere anya
na ngwa agha dị n’Ụlọeze dị n’Oke ọhịa.
9 Unu hụrụ na mgbidi obodo Devid
nwere ọtụtụ mgbawa n’ebe dị iche iche na ya.
Unu chekọtara mmiri
n’ọdọ mmiri nke ala ala.
10 Unu gụrụ ụlọ dị na Jerusalem ọnụ,
tiwaa ụfọdụ ụlọ iji mee ka mgbidi sie ike.
11 Unu gwuru ọdọ mmiri n’etiti mgbidi abụọ
maka ichekwa mmiri si n’ọdọ mmiri ochie,
ma unu elekwasịghị Onye ahụ kere ya anya,
unu ejikwaghị Onye ahụ tụrụ atụmatụ ya site na mgbe gara aga kpọrọ ihe.

12 Onyenwe anyị, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
kpọrọ unu ụbọchị ahụ
ka unu kwaa akwa, ruo ụjụ,
kpụchaa agịrị isi unu ma yirikwa akwa mkpe.
13 Ma lee, e nwere obi ụtọ, na-egwuri egwu;
igbu ehi na igbu atụrụ,
iri anụ nakwa ịṅụ mmanya.
Unu na-asị, “Ka anyị rienụ, ṅụọkwanụ,
n’ihi na echi ka anyị ga-anwụ.”

* **22:3** 22:3 Maọbụ, agbaala ọsọ

[14] ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, ekpugheerala m mee ka m nụrụ, “N’ezie,
agaghị ekpuchiri unu mmehie a ruo ụbọchị unu ga-anwụ.” Ọ bụ ihe Onyenwe anyị,
bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.
[15] Otu a ka Onyenwe anyị, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, kwuru:
“Gaa, gwa odozi akụ a bụ Shebna,
nke bụ onye na-elekọta ụlọ ukwu eze:
[16] Gịnị ka ị na-eme n’ebe a, onye nyekwara gị ikike
na i gwuwaara onwe gị ili n’ebe a,
na-egwuwakwa ili gị n’ebe dị elu
na-akapụtara onwe gị ebe izuike n’ime nkume ahụ?

[17] “Kpachara anya, ONYENWE ANYỊ na-aga ịkpata gị aka,
tufuo gị n’ebe dị anya, gị dike na nwoke.
[18] Ọ ga-afịkọta gị okirikiri dịka bọlụ,
tufuo gị n’obodo sara mbara.
N’ebe ahụ ka ị ga-anọ nwụọ,
n’ebe ahụ kwa ka ụgbọala gị nke i ji anya isi
ga-aghọ ihe ihere nye ezinaụlọ onyenwe gị.
[19] Onyenwe anyị ga-achụpụkwa gị site n’ọkwa gị,
na sitekwa n’ọnọdụ gị dị elu, dọda gị n’ala.
[20] “N’ụbọchị ahụ, aga m akpọ ohu m, Eliakịm, nwa Hilkaya. [21] Aga m eyikwasị
ya uwe ọrụ gị, kekwasịkwa ya ihe ike n’ukwu, werekwa ike ọchịchị ahụ i nwere na
mbụ nyefee ya. Ọ ga-abụkwara ndị Jerusalem na ndị Juda nna. [22] Aga m enyefekwa
ya n’aka ihe ntụghe ụzọ nke ụlọ Devid. A ga-emeghe ihe niile ọ sị na a ga-emeghe,
mechiekwa ihe niile ọ sị na a ga-emechi, [23] Aga m eme ka o guzosie ike dịka ǹtu a
kpọgidere n’aja ụlọ. Ocheeze ya ga-ewetara ụlọ nna ya nsọpụrụ. [24] A ga-ekokwasị
ya ebube nke ezinaụlọ ya, ụmụ ya na ụmụ ụmụ ya, ihe niile nke dị nta, site na ite na
efere, sitekwa n’ọba ruo na karama niile.
[25] “N’ụbọchị ahụ,” ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri, “N’oge
ahụ, ǹtu ahụ a kpọgidesịrị ike n’aja ụlọ ga-apụ n’ọnọdụ ya, a ga-akpajipụ ya ọ dapụ
n’ala. Ibu niile nke kokwasịrị n’elu ya ka a ga-egbuda n’ala.” N’ihi na ONYENWE ANYỊ
ekwuola ya.

# 23

*Amụma e buru banyere Taịa*

[1] Nke a bụ amụma megide Taịa:
Tienụ mkpu akwa, unu ụgbọ mmiri nke Tashish
n’ihi na e bibiela Taịa,
ahapụla ya na-enweghị ụlọ ọbụla maọbụ ọnụ mmiri mbata.
Ozi erutela ha aka
site n’obodo Saiprọs.

[2] Derenụ duu, unu ndị bi n’ala ahụ osimiri gbara gburugburu.
Unu ndị na-azụ ahịa na Saịdọn,
ndị na-ezipụ ụgbọ mmiri na-aga n’osimiri, kwaanụ akwa.
[3] N’elu ọtụtụ mmiri dị ukwuu,
ka mkpụrụ ọkụkụ Shihoa si bịa,
owuwe ihe ubi nke Naịl bụ ihe uru ahịa Taịa,
ọ ghọrọ ọma ahịa nke mba dị iche iche.

4 Ka ihere mee gị, Saịdọn, na gị bụ ebe e wusiri ike nke osimiri,
n'ihi na oke osimiri ekwuola okwu;
"Ime emetụbeghị m, nke m ji amụpụta nwa;
o nwebeghị mgbe m ji zụpụta ụmụ ndị ikom maọbụ ụmụ ndị inyom tozuru oke."
5 Mgbe ozi ga-abịara ndị Ijipt,
ha ga-anọ na mwute n'ihi ozi si Taịa.

6 Gabiganụ ruo Tashish
tisienụ mkpu akwa ike, unu ndị bi n'ala mmiri gbara gburugburu.
7 Nke a ọ bụ obodo ahụ ọṅụ na-ejupụta n'ime ya oge niile?
Obodo ahụ dịrịla kemgbe oge gara aga?
Nke a ọ bụ ihe fọdụrụ n'obodo ahụ
ndị ya na-esi n'ime ya pụọ gaa n'ebe dị anya iwu obodo ọzọ?
8 Onye zubere ihe dị otu a megide Taịa,
bụ mba na-ekpube ndị ọzọ okpueze,
mba nke ndị ahịa ya bụ ụmụ eze,
nke ndị ọzụ ahịa ya bụ ndị a na-asọpụrụ n'ụwa?
9 Ọ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile zubere ya,
n'ihi iweda n'ala mpako na ịma mma ya niile,
na iwetara ndị niile a na-asọpụrụ n'ụwa nlelị.

10 Gaanụ kọọ ala ubi unu dịka ha na-eme n'akụkụ Naịl,
unu ụmụada Tashish,
n'ihi na unu enwekwaghị ọnụ mmiri.
11 ONYENWE ANYỊ esetipụla aka ya n'elu osimiri
mee ka alaeze ha niile maa jijiji.
O nyela iwu banyere Fonisia*
ka e bibie ebe ya niile nke wusiri ike.
12 Ọ sịrị, "Ị gaghị aṅụrị ọṅụ ịṅụ mmanya n'oke oriri ọzọ,
gị ada Saịdọn na-amaghị nwoke, nke a na-emegbu emegbu.

"Bilie, gafee garuo Saiprọs,
ọ bụladị n'ebe ahụ, ị gaghị enweta ezumike."
13 Lee anya n'ala ndị Kaldịa,
ndị a gụpụrụla ugbu a na mmadụ!
Ndị Asịrịa mere ya
ka ọ bụrụ ebe obibi nye anụ ọhịa na-ebi n'ọzara.
Ha wuliri ụlọ nche ha niile dị elu gburugburu
tikpọọ ebe ya niile e wusiri ike,
mee ha ka ha tọgbọrọ n'efu ghọọ mkpọmkpọ ebe.

14 Tienụ mkpu akwa, unu ụgbọ mmiri Tashish niile dị n'oke osimiri,
n'ihi na e mebiela ebe unu niile e wusiri ike.
15 A gaghị echeta Taịa ọzọ, tutu iri afọ asaa agafee, nke bụ ogologo ụbọchị ndụ onye
eze. Mgbe oge ahụ zuru, Taịa ga-adịkwa ka nwanyị akwụna e jiri rọọ abụ dị otu a:
16 "Welite ụbọ akwara, jegharịa n'ime obodo,
gị nwanyị akwụna e chefuru echefu;
kpọzie ụbọ gị nke ọma, bụọ ọtụtụ abụ,
ka e si otu a mee ka ị bụrụ onye e chetara echeta."

* **23:11** 23:11 Ya bụ, Kenan

[17] E, mgbe iri afọ asaa gasịrị, ONYENWE ANYỊ ga-eleta Taịa. Ọ ga-alaghachi n’ọrụ ya
dịka nwanyị akwụna, ya na alaeze niile dị n’ihu elu ụwa niile. [18] Ma uru ahịa ya
niile, na ego niile ọ kpatara site n’ịzụ ahịa ka ọ ga-edo nsọ nye ONYENWE ANYỊ. Ha agaghị edokọkwa ha n’otu ebe izo ha, kama uru ahịa ha niile ga-adịrị ndị niile na-ebi ezi ndụ n’ihu ONYENWE ANYỊ. Ha ga-ejikwa ego ahụ zụọ ihe oriri na uwe dị mma.

# 24

*Mbibi ONYENWE ANYỊ ga-ebibi ụwa*

[1] Lee, na ONYENWE ANYỊ na-aga ịgba ụwa ọtọ.
Ọ na-aga ime ka ọ tọgbọrọ n’efu.
Ọ na-aga ibibicha ihe dị n’elu ụwa,
mee ka ndị bi n’ime ya gbasasịa.
[2] Otu ihe ahụ ka ọ ga-eme mmadụ niile,
nye ndị nchụaja ma ndị mmadụ,
nye ụmụodibo na ndị nwe ha,
nye ndị odibo nwanyị, na nne ha ukwu,
nye ndị na-azụ ihe a na-ere ere, na ndị na-ere ihe orire;
nye ndị na-ebinye ego, na ndị a na-ebinye ego;
nye ndị ji ụgwọ, na ndị e ji ụgwọ.
[3] O nweghị onye ọ ga-ahapụ.
A ga-agba ala ahụ ọtọ kwakọrọ ihe niile dị n’ime ya.
Nke a ka ONYENWE ANYỊ kwuru.

[4] Ala atakọchaala, ma kpọnwụọ.
Ụwa ahụjuola anya ma kpọnwụọ.
Eluigwe na n’ụwa so na-ahụjukwa anya.
[5] Ụwa bụ ihe e merụrụ emerụ site na ndị ya;
ha enupula isi n’iwu niile,
ha agbanweela ụkpụrụ ya,
mebie ọgbụgba ndụ ebighị ebi ahụ.
[6] Ya mere, ọbụbụ ọnụ na-eripịa ụwa;
ndị bi n’ime ya aghaghị ịnatakwa ikpe ọmụma ha.
Ya mere ndị niile bi n’ụwa na-ere ọkụ,
ọ bụkwa naanị mmadụ ole na ole fọdụrụ.
[7] Mmanya ọhụrụ atakọrọla, osisi vaịnị akpọnwụọkwala,
n’ihi ya, ndị ahụ niile ọṅụ na-ejupụta n’obi ha na-asụ ude.
[8] Egwu ụtọ niile akwụsịla,
mkpọtụ nke ndị na-eri oriri dị iche iche akwụsịla.
Ụda obi ụtọ nke ụbọ akwara adịghịkwa.
[9] Abụ obi ụtọ nke ya na mmanya na-eso adịghịkwa;
mmanya dị ike na-akụzi ilu n’ọnụ ndị na-aṅụ ya.
[10] Obodo atọgbọrọla n’efu;
a kpọchichaala ọnụ ụzọ e si abata ụlọ ndị mmadụ ka onye ọbụla ghara inwe ike ịbata.
[11] Igwe ndị mmadụ nọ n’okporoụzọ na-eti mkpu n’ihi na mmanya adịghịkwa.
Ọṅụ adịghịkwa,
otu a, ewezugakwala obi ụtọ site n’ụwa.
[12] Obodo ahụ aghọọla mkpọmkpọ ebe,
e tikpọọla ọnụ ụzọ ya niile.
[13] Otu a ka ọ ga-adị n’ụwa niile,

nakwa n’etiti mba niile,
dịka mgbe a na-etitusi mkpụrụ dị n’elu osisi oliv,
maọbụ mgbe ahapụrụ ụfọdụ mkpụrụ grepu n’elu osisi mgbe a ghọchasịrị ihe ubi.

14 Ma ndị niile fọdụrụ ga-eti mkpu ọṅụ;
ndị nọ n’ọdịda anyanwụ ga-eto ịdị ebube nke ONYENWE ANYỊ.
15 Ndị nọ n’ọwụwa anyanwụ ga-enye ONYENWE ANYỊ otuto.
Ndị bi n’ala nta niile osimiri gbara gburugburu
ga-ebuli aha ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel elu.
16 Anyị ga-anụ abụ ọma dị iche iche site na nsọtụ ụwa.
Ha ga-abụ abụ na-asị, “Otuto dịrị Onye ezi omume ahụ.”

Ma n’ezie, o nweghị olileanya dịịrị m. “Lee ka anụ ahụ m si na-akpọnwụ!
Ahụhụ dịrị m!
N’ihi na ndị ahụ na-ekwesighị ntụkwasị obi ereela anyị.
Akpịrị ego ha ka ha ji refuo anyị.”
17 Ihe egwu, na olulu, na igbudu nke onye na-esi ọnya dị na-eche unu,
unu ndị niile bi n’ụwa.
18 Onye ọbụla n’ime unu nke gbara ọsọ n’ihi ihe egwu
ga-adaba n’olulu;
onye ọbụla sitekwara n’olulu rịpụta
ga-azọnye ụkwụ ya n’ọnya.

N’ihi na mmiri nke ịla n’iyi esitela na mbara eluigwe na-ezokwasị unu.
Ntọala ụwa na-amakwa jijiji.
19 Ụwa adapịasịala;
ụwa agbawasịala;
e jirila oke ike nughaṛịa ụwa.
20 Ụwa ga-adagbugharị dịka onye mmanya na-egbu.
Ọ ga-aṅagharịkwa dịka osisi nke oke ifufe na-efegharị.
Ọ daala, ọ pụghịkwa ibili ọzọ,
n’ihi na njehie ya dị arọ na-anyịdakwa ya.

21 N’ụbọchị ahụ,
ONYENWE ANYỊ ga-ata ike usuu niile dị n’eluigwe ahụhụ.
Ọ ga-atakwa ndị eze niile n’ụwa ahụhụ.
22 A ga-achịkọta ha dịka ndị mkpọrọ,
kpọchiekwa ha n’ụlọ mkpọrọ
n’ebe ahụ ka ha ga-anọgide,
tutu ruo mgbe a ga-ekpe ha ikpe.
23 Ọnwa ga-ada mba,
anwụ ka ihere ga-eme;
n’ihi na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, ga-achị
n’ugwu Zayọn nakwa n’ime Jerusalem,
ọ ga-eji oke ebube chịa n’ihu ndị okenye ya.

# 25

*Toonu ONYENWE ANYỊ*

1 O ONYENWE ANYỊ, ị bụ Chineke m;
aga m ebuli gị elu, nye aha gị otuto,

n’ihi na site na ntụkwasị obi zuruoke,
ị rụọla ọtụtụ ihe ịrịbama,
nke i tụrụ atụmatụ ha siterị n’oge gara aga.
2 N’ihi na i meela ka obodo ghọọ mkpọmkpọ ebe;
mee ka obodo e wusiri ike ghọọ ebe dakpọrọ adakpọ;
meekwa ka ebe siri ike nke ndị mba ọzọ ghọọ ebe obodo na-adịghịzi,
agaghị ewukwa ya ruo mgbe ebighị ebi.
3 N’ihi nke a, ndị niile dị ike ga-asọpụrụ gị.
Obodo ndị ahụ na-emenye ndị mba ọzọ egwu ga-atụ gị egwu.
4 N’ihi na ị bụụrụ onye na-enweghị ike ebe mgbaba;
ị bụkwaara ndị ogbenye ebe mgbaba n’oge mkpa ha,
ebe nchebe siri ike n’oge oke mmiri ozuzo,
na ndo n’oge okpomọkụ.
N’ihi na nkuume nke ndị na-adịghị emere mmadụ ebere
dị ka oke mmiri ozuzo nke na-amakwasị mgbidi,
5 dịkwa ka okpomọkụ nke na-adị n’ọzara.
Ị na-eme ka mkpọtụ nke ndị mba ọzọ kwụsị,
dịka ndo nke igwe ojii na-eweta si eme ka okpomọkụ dajụọ,
otu a ka abụ ọma nke ndị na-adịghị eme ebere si kwụsị.

6 N’elu ugwu a, ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
ga-anọ kwadooro ụwa niile oke oriri.
Ọ ga-abụ oke oriri nke ga-adịrị ndị niile.
Oke oriri nke ezi anụ na mmanya dị mma ga-adị.
7 N’elu ugwu a, ka ọ ga-ewepụ ihe ndị ahụ niile na-eweta ihu mgbarụ,
nke dị ka akwa e ji kpuchie mmadụ niile,
nke kpuchikwara ihu ndị mba niile.
8 Ọ ga-elomi ọnwụ ruo mgbe ebighị ebi.
Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ga-ehicha anya mmiri niile
site n’ihu mmadụ niile,
ọ ga-ewezuga ihe ịta ụta* niile
dakwasịrị ndị ya site n’ụwa niile.
ONYENWE ANYỊ ekwuola ya.
9 N’ụbọchị ahụ, ndị mmadụ ga-asị,
“Nke a bụ Chineke anyị n’ezie,
anyị tụkwasịrị ya obi, ọ zọpụtakwara anyị.
Nke a bụ ONYENWE ANYỊ ahụ, anyị tụkwasịrị ya obi,
ka anyị nwee ọṅụ ma ṅụrịakwa na nzọpụta ya.”

10 N’ihi na aka ONYENWE ANYỊ ga-adịgide n’elu ugwu a,
ma a ga-azọtọ ndị Moab n’ọnọdụ ha,
dịka esi azọda ahịhịa dị n’okpuru ụkwụ mmadụ.
11 Ha ga-agbasa aka ha abụọ n’ime ya,
dịka onye na-egwu mmiri si agbasapụ aka ya,
ma Chineke ga-eweda mpako ha niile,
n’agbanyeghị ọrụ aghụghọ niile nke aka ha.
12 Ọ ga-akwatu mgbidi gị niile dị elu nke e wusiri ike,
mee ka ha daruo ala,
ọ ga-eme ka ha daruo ala,

* **25:8** 25:8 Maọbụ, Ihe ihere

ruo mgbe ha ghọrọ uzuzu.

## 26

*Abụ Otuto*

1 N'ụbọchị ahụ, a ga-abụ abụ a n'ala Juda niile:
Anyị nwere obodo e wusiri ike.
Chineke na-eme ka mgbidi ya
na ebe ya niile e wusiri ike bụrụ nzọpụta nye anyị.
2 Meghee ụzọ ama niile,
ka mba ndị ahụ na-eme ezi omume bata,
e, bụ mba ahụ kwesiri ntụkwasị obi.
3 Ị na-eme ka ndị niile echiche uche ha guzosiri ike
nwee udo zuruoke,
n'ihi na ọ bụ na gị ka ha na-atụkwasị obi ha.
4 Tụkwasị ONYENWE ANYỊ Chineke obi mgbe niile,
n'ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke bụ oke nkume nke mgbe ebighị ebi.
5 Ndị na-akpa nganga ka ọ na-ewedata ala,
na-emekwa ka obodo na-anya isi kpọọ ọnụ n'ala.
Mgbidi ya
ka ọ na-eme ka ọ daruo ala.
6 Ọ na-enyefe obodo ahụ
n'aka ndị a na-emegbu emegbu,
na n'aka ndị ogbenye ka ha zọtọọ ya ụkwụ.

7 Ụzọ nke onye ezi omume ha n'otu,
gị, Onye ziri ezi, na-eme ka okporoụzọ ndị ezi omume dị larịị.
8 E, ONYENWE ANYỊ, anyị na-aga n'ụzọ nke ikpe gị niile,
na-ele anya gị.
Aha gị na ihe niile e ji mara gị
bụ ihe na-agụsị obi anyị agụ ike.
9 Abalị niile ka obi m na-achọsi gị ike,
n'ụtụtụ eji m mmụọ m niile na-achọsi gị ike,
n'ihi na ọ bụ naanị mgbe ị bịara kpee ụwa ikpe
ka mmadụ ga-esi n'ajọ omume tụgharịa ime ezi ihe.
10 Obi ebere gị n'ebe ndị na-emebi iwu nọ
adịghị eme ka ha gbanwee.
Ọ bụladị n'ala a, ebe ndị ezi omume bi, ha na-anọgide na-eme ihe ọjọọ.
Ha adịghị echeta ịdị ukwuu gị, ONYENWE ANYỊ.
11 ONYENWE ANYỊ ebuliela aka ya elu,
ha adịghị ahụ ya.
Gosi ha ekworo gị banyere ndị gị, ka e si otu a mee ka ihere mee ha.
E, ka ọkụ ahụ ị kwadooro ndị iro gị rechapụ ha.

12 ONYENWE ANYỊ, ị na-enye anyị udo;
n'ihi na ihe niile anyị nwere sitere n'aka gị.
13 O, ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, ọ dị mgbe anyị nọ n'okpuru ọchịchị ndị ọzọ dị iche iche,
ma ugbu a, ọ bụ naanị aha gị ka anyị na-efe.
14 Ndị niile anyị fere na mbụ anwụchaala; ha adịghịkwa ndụ;
mmụọ ha agakwaghị alọghachi ọzọ.

N’ihi na ị tara ha ahụhụ, laa ha n’iyi;
e chefukwaala ha.
15 I meela ka mba a dị ukwuu, ONYENWE ANYỊ;
i meela ka mba a saa mbara.
I wetarala onwe gị nsọpụrụ,
i meela ka oke ala ahụ niile gbatịa.

16 ONYENWE ANYỊ, n’ime mkpagbu ha, ha gbakwutere gị.
Mgbe iwe gị bịakwasịrị ha,
ọ bụ olu dị nta ka ha ji kpeere gị ekpere.
17 Gị, ONYENWE ANYỊ, emeela ka anyị kwaa akwa,
dị ka nwanyị ime na-eme si ata ikikere eze na akwa akwa n’ihi ihe mgbu.
Otu a ka anyị nọ n’ihu gị.
18 Anyị anọọla ọnọdụ ihe mgbu, na ịta ikikere eze,
ma o nweghị ihe ọma anyị nwetara n’ime ya.
Mgbalị anyị niile emeghị ka nzọpụta rute ụwa aka.
O nwekwaghị ihe nwere isi anyị rụpụtara.

19 Ma ndị gị niile nwụrụ anwụ ga-adị ndụ, O ONYENWE ANYỊ.
Ozu ha ga-esite n’ọnwụ bilie.
Unu ndị niile bi n’aja
tetanụ ma tie mkpu ọṅụ.
N’ihi na igirigi gị dị ka igirigi nke ụtụtụ,
ala ga-amụpụtakwa ndị ya niile nwụrụ anwụ.

20 Baanụ n’ụlọ, ndị m,
kpọchienụ ụzọ unu!
Zoonụ onwe unu naanị nwa oge nta,
tutu ruo mgbe iwe Chineke ga-agabiga.
21 Lee anya! ONYENWE ANYỊ si n’ebe obibi ya
na-abịa ikpe ndị bi n’ụwa ikpe n’ihi mmehie ha niile.
Ụwa ga-ekpughepụ gosi ọbara niile a wụsiri n’elu ya,
ọ gaghị ezokwa ndị niile e gburu lie n’ime ya.

# 27

### *Mgbapụta dịrị Izrel*

1 N’ụbọchị ahụ,
ONYENWE ANYỊ ga-eji mma agha ya
iwe ya, dị ukwuu dịkwa ezigbo ike,
taa agwọ ahụ na-akpụ akpụ bụ Leviatan ahụhụ.
Leviatan bụ agwọ mgbakọ ahụ;
ọ ga-egbukwa nnukwu anụ ọjọọ ahụ nke bi na mmiri.
2 N’ụbọchị ahụ,
abụ a ga-adị n’ọnụ ha, abụ ha ga-abụ banyere ubi vaịnị nke na-amị ezi mkpụrụ.
3 “Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ na-elekọta ya,
ana m agba ya mmiri ụbọchị niile,
na-eche ya nche ehihie na abalị.
Ka onye ọbụla ghara iji ihe ọjọọ leta ya.
4 Adịghị m ewekwa iwe.
Ọ bụrụ na ọ bụ naanị ogwu na uke na-echere m aka mgba,
aga m ebili buso ha agha,

aga m esurekwa ha ọkụ.
5 Ma ọ bụghị otu a, ka ha bịakwute m maka nchekwa,
ha bịa ka mụ na ha mee udo.
E, ha bịa ka mụ na ha mee udo."

6 N'ụbọchị ndị na-abịa, Jekọb ga-agba mgbọrọgwụ.
Izrel ga-agbawa okoko dịka osisi, maakwa ifuru,
jirikwa mkpụrụ mejupụta ụwa niile.

7 ONYENWE ANYỊ atabeghị Izrel ahụhụ
dịka o si taa ndị iro ya.
O mebekwaghị ka e gbuo ndị ya
dị ka e si gbuo ndị iro ha.
8 ONYENWE ANYỊ tara ndị ya ahụhụ, mee ka a dọrọ ha n'agha ma buru ha gaa mba ọzọ.
Ọ bụ ifufe ọjọọ nke si n'ọwụwa anyanwụ
ka o ji bupụ ha.
9 Ọ bụ n'ụzọ dị otu a ka a ga-esi bupụ ikpe ọmụma dịrị Jekọb,
nke a bụkwa iju eju nke mkpụrụ e ji wezuga mmehie ya:
Mgbe ha gweriri nkume niile ha ji wuo ebe ịchụ aja arụsị ha
dịka ntụ,
mgbe ha wezugara ogidi arụsị Ashera,
na ebe ịchụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ niile.
10 Obodo ahụ e wusiri ike adakpọsịala.
Ọ ghọọla ọzara nke ndị mmadụ na-ebighị n'ime ya.
Ọ ghọọkwala ebe ụmụ ehi na-akpa nri,
ebe ha na-amakpu na-ezu ike.
Ha ga-atacha ahịhịa dị n'alaka osisi.
11 Mgbe alaka osisi ndị ahụ kpọnwụrụ daa,
ụmụ nwanyị ga-abịa chịkọtaa ha were ha kwanye ọkụ.
N'ihi na ndị a bụ ndị na-enweghị nghọta.
Ọ bụ nke a mere Onye kere ha adịghị emere ha ebere.
Onye ahụ kpụrụ ha agakwaghị egosi ha obi ebere.
12 N'ụbọchị ahụ, ONYENWE ANYỊ ga-ahọcha site n'ebe mmiri na-eru eru Yufretis ruo
na Wadi nke Ijipt, ma gị, bụ Izrel ka a ga-achịkọta otu n'otu. 13 N'ụbọchị ahụ, opi ike
ga-ada. Ndị ahụ na-ala n'iyi n'Asịrịa na ndị ahụ e mere ka ha gaa biri n'Ijipt dịka
ndị mba ọzọ ga-abịa fee ONYENWE ANYỊ ofufe n'ugwu nsọ ya dị na Jerusalem.

# 28

*Ahụhụ dịrị ndịisi Ifrem na Juda*

1 Ahụhụ ga-adịrị okpueze okoko* ọhịa ahụ, nke bụ mpako Ifrem,
obodo ahụ ndị ya na-aṅụbiga mmanya oke ji anya isi.
Obodo ahụ e wukwasịrị na mbara ala ndagwurugwu mara mma.
Obodo ahụ ịma mma ya na-ada dịka okoko osisi e kpukwasịrị ndị ndu ya mmanya na-egbu n'isi.
2 Lee, Onyenwe anyị nwere otu onye dị ike,† onye nwekwara ume,
dịka oke mmiri ozuzu nke akụmmiri igwe na dịka oke ifufe na-eweta mbibi,

* **28:1** 28:1 Okpueze okoko n'ebe a, na-ekwu banyere obodo Sameria. † **28:2** 28:2 N'ebe a otu onye ahụ dị ike bụ eze ndị Asịrịa.

dịka oke mmiri ozuzo na-erubiga oke na dịka oke mmiri ozuzo bu idee mmiri ji ike ekwo,
ọ ga-eji ike tụpụ ya n’ala.
3 Okpueze okoko osisi, bụ mpako nke ndị Ifrem na-aṅụbiga mmanya oke,
ga-abụ ihe a ga-azọtọkwa n’okpuru ụkwụ.
4 Okoko ọhịa nke na-akpọnwụ akpọnwụ, nke bụ ebube ịma mma ya,
nke dị n’isi ndagwurugwu na-emepụta ihe,
ga-adị ka mkpụrụ fiig chara tupu oge owuwe ihe ubi eruo,
nke mgbe onye ọbụla hụrụ ha na-ewere ha n’aka,
tinye n’ọnụ ya, loo ha.

5 N’ụbọchị ahụ, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile n’onwe ya,
ga-aghọrọ ndị ya fọdụrụ n’ala ahụ
okpueze mara mma,
ọ ga-aghọkwara ha okoko mara mma.
6 Ọ ga-abụ mmụọ nke ikpe ziri ezi
nye ndị ikpe.
Ọ ga-abụkwa ike
nye ndị na-achụghachi ndị iro azụ n’ọnụ ụzọ ama.

7 Ndị a kwa na-adagharị site na mmanya
sitekwa n’ihe ọṅụṅụ na-aba n’anya.
Ndị nchụaja na ndị amụma na-adagharị site na ihe ọṅụṅụ na-aba n’anya,
mmanya emeela na ha amakwaghị ihe ha na-eme;
ha na-adagharị site n’ihe ọṅụṅụ na-aba n’anya
ha na-adagharị mgbe ha na-ahụ ọhụ dị iche iche,
ha na-asọ ngọngọ mgbe ha n’ekpe ikpe.
8 N’ihi na tebul ha niile jupụtara n’ihe ọgbụgbọ ruru unyi.
O nwekwaghị ebe dị ọcha.

9 “Ọ bụ onye ka ọ na-achọ ikuziri ihe?
Ọ bụ onye ka ọ na-achọ ka ọ ghọta ozi ya?
Ọ bụ ụmụnta ndị a kwusịrị ịṅụ mmiri ara,
bụ ndị a ka napụrụ ara?
10 N’ihi na ọ na-agbalị izi anyị ihe dịka e si dee ya,
ahịrị ime nke a, n’ahịrị ime nke ọzọ,
n’usoro tụkwasị n’usoro,
nwantịntị n’ebe a, nwantịntị n’ebe ahụ.”

11 N’ezie, Chineke ga-eji ndị na-asụ asụsụ unu na-amaghị
zi unu ihe.
12 N’ihi na ọ gwara unu okwu sị,
“Lee, nke a bụ ebe izuike ahụ, ebe onye ike gwụrụ nwere ike ịnọ zuru ike;
nke a bụ ebe ịgbaume ahụ.”
Ma ha jụrụ ige ya ntị.
13 Ọ bụ n’ihi ya ka e ji na-ezi unu okwu ONYENWE ANYỊ
n’ahịrị n’ahịrị,
n’usoro n’usoro;
nwantịntị n’ebe a, nwantịntị n’ebe ahụ,
ka unu gaa sụọ ngọngọ dalaa azụ,
ka unu bụrụ ndị e tihịara ahụ, ndị ọnya mara, ndị e jidekwara.

14 N’ihi nke a, nụrụnụ okwu ONYENWE ANYỊ, unu ndị na-akwa emo,
ndị ọchịchị Jerusalem dị n’aka.
15 N’ihi na unu ekwuola sị, “Anyị na ọnwụ agbaala ndụ,
anyị na ala mmụọ enwekọọkwala otu mkpebi.
Mgbe ịla n’iyi ahụ dị ukwuu ga-esi n’ebe anyị nọ gafee,
ọ gaghị erute anyị,
n’ihi na anyị emeela ka okwu ụgha bụrụ ebe mgbaba anyị;
ọ bụkwa n’ime okwu ụgha ka anyị na-ezo onwe anyị.”
16 Ma otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị,
“Lee, ana m atọgbọ na Zayọn otu nkume, nke anwapụtarala.
Nkume nkuku dị oke ọnụahịa, n’ihi ntọala siri ike.‡
Onye nke kweere na ya
egwu agaghị ejide ya.§
17 Ikpe ziri ezi ga-abụ eriri ọtụtụ nke ji atụ ihe,
ezi omume ga-abụkwa ihe ịtụ mgbidi;
akụmmiri nke oke mmiri ozuzo, ga-ekpochapụ ebe mgbaba unu, okwu ụgha unu,
mmiri ga-etojukwa n’ebe nzuzo unu.
18 Mgbe ahụ, a ga-akagbu ọgbụgba ndụ ahụ unu na ọnwụ gbara;
mkpebi unu na ala mmụọ agaghị eguzokwa.
Mgbe oke ịla n’iyi ahụ si n’ebe unu nọ na-agafe,
ọ ga-azọda unu.
19 Mgbe ọbụla o si n’ebe unu nọ na-agafe, ọ ga-eburu unu,
maọbụ n’ụtụtụ, ehihie, maọbụ n’abalị,
oge niile, mgbe mgbe.”

Mgbe ahụ, obi unu ga-aghọta okwu Chineke;
ọ ga-ewetara unu ahụ ịma jijiji.
20 Ihe ndina dị mkpụmkpụ, mmadụ enweghị ike esetipụ onwe ya n’elu ya;
akwa mkpuchi dị oke warawara, mmadụ enweghị ike iji ya fụchizie ahụ nke ọma.
21 ONYENWE ANYỊ ga-ebili dịka o mere n’ugwu Perazim,
ọ ga-akpalị onwe ya dịka o mekwara na Ndagwurugwu Gibiọn,
ịrụ ọrụ ya, ọrụ ya nke dị ike n’ịkọwa,
na ịrụzu ọrụ ya, ụdị nke a na-atụghị anya ya.
22 Ugbu a, ya mere, kwụsịnụ ịkwa emo,
ka a ghara ime ka ahụhụ unu dị ukwuu karịa.
N’ihi na Onyenwe anyị, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
agwala m na o kpebiela ịla unu n’iyi.

23 Geenụ ntị, nụrụnụ olu m,
ṅaanụ ntị n’ihe m na-agwa unu.
24 Ọ bụ ụbọchị niile ka onye ọrụ ubi na-akọ ala ubi ya hapụ ịkụnye ya mkpụrụ?
Ọ bụ mgbe niile ka ọ na-egwuze ala ubi ya ime ka ọ dị larịị, ma ọ gaghị akụnye ya mkpụrụ ọbụla?
25 Mgbe o gwuzesịrị ya,
ọ naghị aghasa mkpụrụ karawe, ghasaakwa kumin?
Ọ bụ na ọ naghị akụnye ọka wiiti n’ahịrị nke ya,
ọka balị n’ebe o kwesiri,
na spelti n’ebe o kwesiri?

‡ **28:16** 28:16 Onye ọbụla na-ewukwasị ndụ ya n’elu ya agaghị enwe ihe egwu ọbụla; § **28:16** 28:16 Agaghị eme ọsịịsọ laghachi azụ.

26 Ọ maara ihe o kwesiri ime,
n’ihi na Chineke na-ezi ụzọ ziri ezi.

27 N’ihi na ejighị igwe eji azọcha mkpụrụ ọka etichapụta mkpụrụ karawe,
maọbụ kpọree ụkwụ igwe* n’elu kumin,
kama ọ bụ mkpọrọ ka e ji etichapụta kumin,
werekwa osisi nta kwesiri ekwesi kupụta karawe.
28 A na-akwọ ọka e ji eme achịcha akwọ,
ọ bụghị ruo mgbe ebighị ebi ka a na-anọgide na-etichapụta ya.
E nwere ike jiri ụkwụ igwe ụgbọala ịnyịnya na-adọkpụ zọchaa ha,
ma ọ bụghị ka a kwọpịasịa mkpụrụ ha.
29 Ihe ndị a niile na-esite n’aka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-abịa,
onye nzube ya dị ịtụnanya,
onye amamihe ya dị ebube.

# 29

*Ahụhụ dịrị obodo Devid*

1 Ahụhụ ga-adịrị gị, gị bụ Ariel, Ariel,*
gị obodo ebe Devid bi.
Gbakọnyenụ otu afọ n’afọ ọzọ
nke unu ga-eji rie oriri, mee mmemme.
2 Ma aga m akpagbu Ariel,
ọ ga-eru ụjụ, ma bee akwa,
ọ ga-adị ka ala ebe ịchụ aja.
3 Aga m ama ụlọ ikwu m n’akụkụ gị niile gburugburu,
aga m eji ọtụtụ ụlọ elu gba gị gburugburu
dokwaa ihe nnọchibido m niile megide gị.
4 N’ọnọdụ mweda n’ala, ị ga-ekwu okwu site n’ala,
okwu ọnụ gị ga-esikwa n’uzuzu pụta.
Olu gị ga-ada ka nke onye mmụọ site n’ala,
ọ bụ site n’uzuzu ka okwu ọnụ gị na-ada ntakịrị ntakịrị ga-esi pụta.

5 Ma igwe ndị iro gị† ga-aghọ ntụ,
igwe ndị na-adịghị eme obi ebere ga-adịkwa ka igbugbo ọka nke ifufe na-ebufu.
Mgbe ahụ, na mberede,
6 mụ onwe m, bụ ONYENWE ANYỊ,
Onye pụrụ ime ihe niile, ga-eji egbe eluigwe na ala ọma jijiji
na oke ifufe na oke ụzụ, na ọkụ na-erepịa erepịa, bịakwute ha.
7 Mba niile ahụ, ndị na-ebuso Ariel agha,
bụ ndị na-ebuso ya na ebe ya e wusiri ike agha,
ga-efu dịka nrọ,
onye na-arahụ ụra n’abalị rọrọ.
8 Dịka mgbe onye agụụ na-agụ, nke na-arọ nrọ ebe ọ na-eri nri,
ma agụụ nọkwa na-agụ ya mgbe o si n’ụra teta.
Dịka onye agụụ mmiri na-agụ, nke nọ na nrọ hụ mmiri ọ na-aṅụ,
ma teta n’ụra chọpụta na akpịrị na-akpọsị ya nkụ ike, na-adakwa mba.
E, otu a ka ọ ga-adị
mgbe igwe ndị agha mba ahụ niile ga-ebuso ugwu Zayọn agha.

* **28:27** 28:27 Lit. wịịlu * **29:1** 29:1 Nke a bụ aha ọzọ e ji mara Jerusalem. † **29:5** 29:5 Ya bụ, ndị ala ọzọ na-emegide gị

9 Ka ọ gbagwojuo unu anya. Ka o jukwa unu anya.
Kpuonụ onwe unu ìsì ka unu ghara ịhụ ụzọ.
Ṅagharịanụ ma ọ bụghị site na mmanya unu ṅụrụ,
sọọnụ ngọngọ ma ọ bụghị site na mmanya na-aba n'anya.
10 N'ihi na ONYENWE ANYỊ awụkwasịla unu mmụọ nke oke ụra.
O mechiela anya ndị amụma unu niile,
kpuchie isi ndị niile na-ahụ ọhụ.
11 Ihe ndị a niile na-aga ime n'oge dị n'ihu dịka akwụkwọ a kara akara. Mgbe e
weere ya nye onye ma akwụkwọ ka ọ gụọ, ọ ga-asị, "Enweghị m ike, n'ihi na a kaala
ya akara." 12 Mgbe e weere ya nye onye na-amaghị akwụkwọ, ọ ga-asị, "Ewela iwe,
amaghị m agụ."
13 Onyenwe anyị sịrị,
"Ndị a ji ọnụ ha na-abịa m nso,
ha ji egbugbere ọnụ ha na-asọpụrụ m,
ma obi ha dị anya n'ebe m nọ.
Ofufe ha na-efe m, bụ nke
gbadoro ụkwụ n'ihe mmadụ nyere n'iwu, bụkwa nke a kuziiri ha.
14 Ya mere, otu ugboro ọzọ, aga m eme ndị a ihe oke iju anya
jiri ihe ịtụnanya tụkwasị n'elu ihe ịtụnanya,
amamihe nke ndị maara ihe ga-ala n'iyi,
nghọta nke ndị nwere nghọta ga-agba barịị."
15 Ahụhụ ga-adịrị ndị na-eche
na ha na-ezonarị Onyenwe anyị nzube ha,
ndị na-agbalịsị ike ime ihe ha zubere na nzuzo, ma na-asịrịta onwe ha,
"Chineke agaghị ahụ anyị. Ọ maghị ihe anyị na-eme!"
16 Lee ka unu si ekpu ihe ihu n'ala,‡
ka a ga-asị na ọkpụ ite dị ka ụrọ e ji akpụ ite.
Ihe mmadụ kpụrụ o nwere ike ịtụgharị gwa onye kpụrụ ya, sị,
"Ị kpụghị m"?
Ka ite o nwere ike ị sị ọkpụ ite,
"Ị ghọtaghị ihe ọbụla"?

17 Mgbe na-adịghị anya ọ bụ na Lebanọn agaghị aghọ ala ubi na-emepụta ihe,
ala ubi ahụ na-emepụta ihe ga-adịkwa ka oke ọhịa?
18 N'ụbọchị ahụ, ndị ntị chiri ga-anụ ihe a na-agụpụta site n'akwụkwọ ahụ,
ndị ìsì, ndị ahụ naara ejeghari n'ọchịchịrị ga-emeghe anya ha,
hụkwa ụzọ ọzọ.
19 Ndị dị umeala n'obi, na ndị ogbenye n'etiti ndị mmadụ ga-achọta ọṅụ na obi ụtọ
nke ONYENWE ANYỊ Onye dị nsọ nke Izrel na-enye.
20 Ndị na-adịghị enwe obi ebere agaghị adịkwa;
ndị niile na-akwa emo agaghị adịkwa,
ndị niile echiche ha bụ ime ajọ ihe ka a ga-ebipụ ndụ ha,
21 bụ ndị ahụ na-eme ka e site n'okwu ọnụ ha mee onye ọzọ onye ikpe mara,
ndị na-eme ka onye na-ekpechite ọnụ onye a na-emegbu emegbu maa n'ọnya,
ndị na-eji ịgba akaebe ụgha mee ka ikpe ziri ezi hapụ irute ndị ezi omume aka.
22 Ya mere, nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ onye gbapụtara Ebraham na-agwa ụlọ
Jekọb,
"Ndị m, a gaghị emekwa ka ihere mee unu ọzọ.
Ihu unu agaghị agbarụkwa ọzọ.

‡ **29:16** 29:16 Ka unu si bụrụ ndị nzuzu

23 Mgbe ha hụrụ ụmụ ha,
bụ ọrụ aka m abụọ, n’etiti ha,
ha ga-edo aha m nsọ,
ha ga-ekwupụta, nabatakwa ịdị nsọ nke Onye nsọ Jekọb,
ha ga-eguzokwa n’ihu Chineke Izrel n’egwu na n’ịma jijiji.
24 Ndị na-akpafu n’ime mmụọ ha ga-enweta nghọta,
ndị ntamu ga-achọkwa ka ha mụta ihe.”

# 30

*Ahụhụ dịrị mba na-eme isiike*

1 “Ahụhụ ga-adịrị ụmụ ndị nnupu isi,”*
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
“bụ ndị na-agbaso nzube nke na-esiteghị n’aka m,
ndị ha na ndị ọzọ na-agba ndụ nke Mmụọ m na-anabataghị,
si otu a na-eme ka mmehie na-aba ụba n’elu mmehie.
2 Ndị na-aga Ijipt ịchọ enyemaka
ma ha ajụtaghị ase site n’aka m.
Ndị were obi ha tụkwasị na Fero maka nchebe,
chọsiekwa ike ime Ijipt ebe mgbaba.
3 Ma nchekwa Fero ga-aghọrọ unu ihe ihere,
ndo ndị Ijipt ga-etinye unu n’ọnọdụ mweda n’ala.
4 Ọ bụ ezie na ha nwere ndị ozi na Zoan
ndị nnọchi anya ha erutekwala Hans,
5 ihere ga-eme onye ọbụla
n’ihi ndị na-abaghị uru nye ha,
ndị na-abụghị ihe inyeaka maọbụ ihe iba uru,
kama naanị ihe ihere na ịta ụta.”
6 Amụma banyere ụmụ anụmanụ bi na Negev.
N’ala ahụhụ na mkpagbu,
nke ọdụm na nne ọdụm,
nke ajụala na agwọ ọjọọ na-efe ka ọkụ,
ndị nnọchite anya obodo na-ebu akụ ha niile n’elu ịnyịnya ibu,
na-ebukwa akụnụba ha dị oke ọnụahịa n’elu ịnyịnya kamel,
na-agakwuru mba ahụ na-abaghị uru,
7 bụ Ijipt, ndị inyeaka ha na-enye enweghị isi.
N’ihi nke a, ana m agụ ya
Rehab, onye na-enweghị ihe ọ na-arụ.

8 Gaa ugbu a, dekwasịrị ha ya n’elu mbadamba nkume,
detuokwa ha n’ime akwụkwọ,
ka ọ dịrị maka ụbọchị na-abịa
dịka ihe akaebe ruo mgbe ebighị ebi.
9 N’ihi na ndị a bụ ndị na-enupu isi, ụmụ aghụghọ
ndị kpachaara anya jụ ịnabata ozizi ONYENWE ANYỊ na-ezi.
10 Ha na-agwa ndị ọhụ ụzọ,
“Unu ahụkwala ọhụ, o zuola,”
ma sịkwa ndị amụma,
“Mechienụ ọnụ! Unu ahụtakwarala anyị ihe ziri ezi n’ọhụ unu.
Gwanụ anyị ihe na-atọ ụtọ na ntị,

* **30:1** 30:1 Nke a bụ n’ihi mmekọrịta ha na ndị Ijipt 2Ez 18:21.

buonu amụma nduhie.
11 Unu na-anọchiri anyị ụzọ,
nyenụ anyị ohere.
Anyị achọkwaghị ịnụ ihe ọbụla
banyere onye ahụ unu na-akpọ Onye dị nsọ nke Izrel.”
12 Ya mere, ihe a ka Onye dị nsọ nke Izrel na-ekwu,
“N’ihi na unu kpọrọ okwu m na-agwa unu asị,
ma dabere na mmegbu
na-atụkwasịkwa obi unu n’aghụghọ,
13 mmehie a ga-aghọrọ unu
ihe dịka mgbidi dị elu, nke gbawara agbawa,
nke ga-ada na mberede, n’otu ntabi anya.
14 Ọ ga-etipịasị dịka ite aja,
nke etipịara na-enweghị obi ebere,
nke a na-enweghị ike ịchọta mpekele ejuju ọbụla n’etiti ya,
iji gụta ọkụ site na-ekwu,
maọbụ kupụta mmiri site n’ite.”
15 N’ihi na otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ bụ Onye nsọ nke Izrel sịrị,
“Ọ bụ na nchegharị na izuike ka a ga-azọpụta unu,
na ịnọ juu na ntụkwasị obi ka ịdị ike unu ga-adị,
ma unu ekweghị na nke ọbụla.
16 Kama unu na-asị, ‘Anyị ga-arịkwasị n’elu ịnyịnya gbapụ.’
E, unu ga-agba ọsọ n’ezie.
Unu sịrị, ‘Anyị ga-arịkwasị n’ịnyịnya ndị na-efe ọsọ.’
Ya mere, ndị ga-achụ unu ga-adị ngwa.
17 Otu onye n’ime ndị iro unu
ga-achụ puku mmadụ n’ime unu ọsọ.
Mmadụ ise si n’ime ha
ezuola ịchusasị unu,
ruo mgbe unu ga-adị
ka osisi a manyere ọkọlọtọ debe n’elu ugwu,
e, ka ọkọlọtọ a hapụrụ n’elu ugwu nta.”

18 Ma ONYENWE ANYỊ nọkwa na-echere ka unu bịakwute ya,
ka o gosi unu ịhụnanya ya.
O jikeere imere unu ebere, n’ihi na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke na-ekpe ikpe ziri ezi.
Ngọzị na-adịkwara ndị niile na-ele anya inyeaka ya.
19 Unu ndị Zayọn ndị bi na Jerusalem, ndị nke m, unu agaghị ebekwa akwa ọzọ,
n’ihi na Onyenwe anyị bụ onye obi ebere. Ọ ga-enyere unu aka mgbe ọbụla unu
kpọkuru ya. 20 N’agbanyeghị na Onyenwe anyị na-enye unu achịcha nke nhụju anya
na mmiri nke ahụhụ, ndị ozizi unu agaghị abụkwa ndị zoro onwe ha ọzọ, kama unu
ga-eji anya unu hụ ha. 21 Ma unu tụgharịrị n’aka nri ma ọ bụkwanụ n’aka ekpe,
ntị unu ga-anụ otu olu n’azụ unu, nke na-asị, “Nke a bụ ụzọ, Jeenụ ije n’ime ya.”
22 Mgbe ahụ kwa, unu ga-emebi arụsị unu niile, nke e ji ọlaọcha na ọlaedo kpụọ.
Unu ga-atụfukwa ha dịka ihe ruru unyi, nke na-asọ oyi. Unu ga-asị ha, “Pụọnụ n’ebe
a!”
23 Ọ ga-ezitekwa mmiri ozuzo maka mkpụrụ unu kụrụ n’ala ubi unu, ihe omume
nke ga-esite n’ala ahụ pụta ga-ama abụba baakwa ụba. N’ụbọchị ahụ anụ ụlọ unu
ga-ata nri n’ebe ịta nri sara mbara. 24 Ehi na ịnyịnya ibu ndị na-arụ ọrụ ubi ga-ata
nri a gwara nke ọma nke nnu dị, nke eji ngwa ọrụ ịfụcha ọka na shọvel kpasaa nke

ọma. 25 N'elu ugwu ọbụla dị elu na n'elu ugwu nta ọbụla dị elu, ka iyi na mmiri
niile ga-eru, n'ụbọchị oke ogbugbu, mgbe ụlọ elu niile ga-ada. 26 Ọnwa ga-amụke
dịka anwụ, ìhè anyanwụ ga-adịkwa okpukpu asaa dịka ìhè ụbọchị asaa e mere ka ọ
mụọ n'otu ụbọchị! Ihe ndị a ga-emezu n'ụbọchị ahụ ONYENWE ANYỊ malitere ikechi
na ịgwọ ọnya o mere ka o rute ndị ya aka.

27 Lee, Aha ONYENWE ANYỊ ka o si n'ebe dị anya na-abịa!
Ọ na-abịa n'oke iwe, anwụrụ ọkụ gbakwara ya gburugburu.
Iwe jupụtara n'egbugbere ọnụ ya,
okwu ya na-erechapụ dịka ọkụ.
28 Iku ume ya dịkwa ka iyi rubigara oke, nke na-achị ọkụ,
nke na-etoru onye nọ n'ime ya n'olu.
Ọ na-ayọcha mba niile n'ime nyọ ịla n'iyi,
ọ na-etinye n'agba ndị mmadụ
eriri igwe nke na-edufu ha.
29 Ma unu ga-abụ abụ
dịka unu na-abụ n'abalị mmemme dị nsọ,
obi unu ga-aṅụrị ọṅụ
dịka mgbe ndị na-egbu opi na-arịgo elu
na-aga n'ugwu nsọ ONYENWE ANYỊ,
na-agakwuru Oke Nkume Izrel.
30 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ndị mmadụ nụ olu ya dị ebube,
ọ ga-emekwa ka ha hụ aka ya na-arịdata ala
jiri ọnụma nke iwe ya na ọkụ na-erepịa erepịa,
jirikwa oke mmiri ozuzo, na egbe eluigwe, na akụmmiri igwe.
31 Olu ONYENWE ANYỊ ga-emenye ndị Asịrịa egwu;
ọ ga-eji mkpara igwe ya kụdaa ha n'ala.
32 Ihe otiti ọbụla nke ONYENWE ANYỊ na-eji mkpọ ya,
tie ha n'ahụ
ga-adị ka egwu ụbọ akwara na une dị iche iche na-enye,
mgbe ọ na-eweli aka ya na-eti ha oke ihe otiti dịka ọ na-alụso ha ọgụ.
33 Edoolarị ihe niile n'usoro site n'oge gara aga.
A kwadoola ebe a ga-akwanye ọkụ nke ga-erechapụ eze ahụ.
Ọ bụ ebe sara mbara, nke dị omimi,
na nke a kwajuru nkụ.
Ọ bụ iku ume ONYENWE ANYỊ
nke dịka mwụpụta nke nkume na-enwu ọkụ
ka a ga-eji mụnye ya ọkụ.

# 31

*Ahụhụ dịrị ndị ahụ na-atụkwasị Ijipt obi*

1 Ahụhụ dịrị ndị na-aga Ijipt ịchọ enyemaka,
ndị nchekwube ha dị n'ike ndị ha na-agba ịnyịnya,
ndị na-atụkwasị obi ha n'ụgbọala ha, nke dị ọtụtụ,
ndị na-atụkwasịkwa obi ha n'ịdị ike nke ndị Ijipt na-agba ịnyịnya.
Ma ha adịghị ele anya inyeaka site n'aka Onye Nsọ Izrel;
ha adịghị arịọkwa ya ka ONYENWE ANYỊ nyere ha aka.
2 Ma ya onwe ya maara ihe, ọ pụrụ iweta ịla n'iyi.
Ọ dịkwaghị agbanwe okwu ya.
Ọ ga-ebili megide ndị mba na-eme ihe ọjọọ;
ha na ndị niile na-enyere ndị na-eme ajọ ihe aka.

3 N’ihi na ndị Ijipt bụ naanị mmadụ, ha abụghị Chineke!
Ịnyịnya ha nwekwara anụ ahụ, ha abụghị mmụọ.
Mgbe ONYENWE ANYị setịpụrụ aka ya imegide ha,
ha ga-asọ ngọngọ;
ndị ha na-enyere aka ga-adakwa.
Ha niile ga-alakọkwa n’iyi.
4 Ma ihe ndị a ka ONYENWE ANYị gwara m,
“Dịka ọdụm na-agbọ ụja,
na-ebigbọ n’elu anụ ọ dọgburu,
n’agbanyeghị na-akpọkọtara igwe ndị ọzụzụ atụrụ
imegide ya,
ọ naghị atụ egwu mkpu ha,
mkpọtụ ụzụ ha adịghị enyekwa ya nsogbu,
Otu a kwa, ONYENWE ANYị, Onye pụrụ ime ihe niile ga-arịdata
ibu agha n’ugwu Zayọn, na n’ugwu nta ya niile.
5 Dịka nnụnụ si efegharị n’elu akwụ ya ichebe ụmụ ya,
otu a ka mụ bụ ONYENWE ANYị, Onye pụrụ ime ihe niile ga-esi chebe Jerusalem,
ọ ga-ekpuchi ya napụta ya,
ọ ghaghị ịgabiga ya, gbapụtakwa ya.”
6 Lọghachitenụ azụ, unu bụ Izrel, laghachikwurunụ onye ahụ nke unu nupuru isi
n’ebe ọdị ukwuu megide. 7 Amaara m nke ọma na ụbọchị ahụ na-abịa, mgbe onye
ọbụla n’ime unu ga-atụfu arụsị ọlaedo na ọlaọcha niile nke aka mmehie unu kpụrụ.
8 “Mgbe ahụ, Asịrịa ga-ada, kama ọ bụghị site na mma agha mmadụ,
mma agha na-abụghị nke mmadụ efu ga-erichapụ ha.
Ha ga-esi n’ihu mma agha gbaa ọsọ,
ma ụmụ okorobịa ha ka a ga-akpụrụ tinye n’ọrụ mmanye.
9 Obodo ha niile e wusiri ike ga-ada n’ihi oke egwu,
ndị ọchịagha ha ga-atụkwa ụjọ mgbe ha hụrụ ọkọlọtọ agha.”
Otu a ka ONYENWE ANYị kwubiri ya.
Onye ọkụ ya dị na Zayọn,
onye ekwu igwe ọkụ ya dị na Jerusalem.

# 32

*Alaeze dabeere n’ezi omume*

1 Lee, eze ga-achị n’ezi omume na-abịa,
ya na ndịisi kwesiri ntụkwasị obi, ndị ga-ekpe ikpe ziri ezi.
2 Onye ọbụla n’ime ha ga-aghọrọ ndị mmadụ ebe a na-ezere ndụ n’oge oke ifufe,
na ebe mgbaba n’oge oke mmiri ozuzo.
Ha ga-adị ka mmiri na-asọ n’ọzara,
maọbụ dịka ndo nke nkume dị elu na-enye n’ebe okpomọkụ na-eweta ike ọgwụgwụ dị.

3 Mgbe ahụ, agaghị emechikwa anya ndị niile na-ahụ ụzọ,
agakwaghị eme ka ntị na-anụ ihe kwụsị ịnụ ihe.
4 Ọ bụladị obi ndị nzuzu n’etiti ha ga-ejupụta n’akọnuche na nghọta,
ndị ahụ na-asụ nsụ ga-ekwukwa okwu nke ọma.
5 N’ụbọchị ahụ, a gaghị ahụkwa onye nzuzu sị na ọ bụ onye maara ihe.
A gaghị enyekwa onye aghụghọ nsọpụrụ ọzọ.
6 N’ihi na ndị nzuzu na-ekwu okwu na-echeghị echiche,
obi ha niile dị na-ime ajọ ihe.

Ọ na-ebi ndụ asọpụrụghị Chineke,
na-ekwusakwa okwu njehie megide ONYENWE ANYỊ;
ndị agụụ na-agụ ka ha na-agbaba aka
ndị akpịrị na-akpọ nkụ, ha adịghị enye ha mmiri ọṅụṅụ.
7 Ndị ọjọọ na-eji ụzọ aghụghọ niile eme ihe ọjọọ,
ha na-echepụta nzube ajọ ihe niile,
iji okwu ụgha laa onye ogbenye n'iyi,
ọ bụladị mgbe arịrịọ nke onye ahụ nọ na mkpa bụ nke ziri ezi.
8 Ma onye a na-asọpụrụ na-atụpụta atụmatụ dị ezi mma,
ọ na-eguzokwa chịm nye ezi ihe.

*Ndị inyom Jerusalem*

9 Unu ndị inyom na-ebi ndụ ndị afọ juru,
bilie ọtọ, gee m ntị;
unu ndị ada ndị nwere ntụkwasị obi,
nụrụnụ ihe m nwere ikwu.
10 N'oge na-adịghị anya, mgbe otu afọ na abalị ole na ole gasịrị,
unu bụ ndị nwere ntụkwasị obi ga-ama jijiji;
n'ihi na mkpụrụ ubi vaịnị unu ga-emebi,
owuwe mkpụrụ ihe ubi agaghị abịa.
11 Maanụ jijiji, unu ndị inyom afọ juru,
tụọ egwu unu ndị ada ndị nwere ntụkwasị obi.
Yipụnụ uwe ọma unu,
kekwasịnụ onwe unu akwa mkpe.
12 Tienụ aka n'obi n'ihi ubi unu na-enye afọ ojuju,
n'ihi osisi vaịnị na-amị mkpụrụ.
13 N'ihi na ogwu na uke ga-epupụta n'ala unu.
Ruonụ uju, n'ihi na ụlọ niile unu na-anọ n'ime ya enwe obi ụtọ,
na obodo niile unu na-anọ n'ime ya na-eri, na-aṅụ
agakwaghị adị.
14 N'ihi na a ga-ahapụ ebe niile e wusiri ike,
gbahapụkwa obodo ahụ ụzụ na-adị n'ime ya;
ụlọ elu nche niile na ebe niile ewusiri ike ga-abụ ebe ga-atọgbọrọ n'efu ruo mgbe ebighị ebi,
ha ga-aghọ ebe ịnyịnya ibu ọhịa ga na-enwe obi ụtọ, na ebe igwe anụ ụlọ ga na-akpa nri ha.
15 Ha niile ga-adịgide otu a tutu ruo mgbe a ga-esite n'eluigwe wụkwasị anyị Mmụọ Nsọ.
Mgbe ahụ ọzara ga-aghọ ala ubi mara mma,
ala ubi ọma ahụ ga-adịkwa ka ọhịa.
16 A ga-emekwa ka ikpe ziri ezi ga-ebi n'ọzara,*
ezi omume ga-adịkwa n'ubi ọma ahụ.
17 Mkpụrụ nke ezi omume ahụ ga-abụ udo;
ihe ga-esikwa na ya pụta ga-abụ ị nọ jụụ na ntụkwasị obi mgbe niile ebighị ebi.
18 Ndị m ga-ebi n'ebe obibi nke udo,
n'ụlọ nwere ezi nchekwa,
n'ebe izuike nke nsogbu na-adịghị.
19 A sikwa na mkpụrụ mmiri ezoo n'oke ọhịa niile,
a sikwa na e bibie obodo niile,
20 ndị a gọziri agọzi ka unu ga-abụ,

* **32:16** 32:16 Ga-erute onye ọbụla aka

mgbe unu na-agha mkpụrụ unu n’akụkụ iyi,
mgbe ehi unu na ịnyịnya ibu unu na-akpaghari na-aga ebe ọbụla ha chọrọ.

# 33

*Nsogbu na enyemaka*

1 Ahụhụ dịrị gị, onye mbibi,
onye bibiri ihe niile dị gị gburugburu, ma ọ dịbeghị mbibi rutere gị aka.
Ahụhụ dịrị gị, onye nrafu,
onye na-enwebeghị ndị rafuru gị.
Mgbe ị kwụsịrị ibibi ihe
ka a ga-ebibi gị,
mgbe ị kwụsịkwara nrafu
ka a ga-arafu gị.

2 Biko, ONYENWE ANYỊ, nwee obi ebere n’ebe anyị nọ,
n’ihi na ọ bụ gị ka anyị na-ele anya.
Bụụrụ anyị ike n’ụtụtụ ụbọchị niile,
bụrụkwara anyị onye nzọpụta mgbe niile anyị nọ na mkpa.
3 Ndị iro na-agba ọsọ mgbe ha nụrụ olu gị.
Mgbe ị guzoro ọtọ, mba niile na-agbalaga.
4 Dịka igurube si atachapụ ihe dị n’ubi,
otu a ka a ga-esi kwakọrọ ihe niile unu nwere n’agha, unu mba dị iche iche.

5 ONYENWE ANYỊ dị elu, n’ihi na o bi n’ebe dị elu.
Ọ ga-eji ikpe ya ziri ezi, na ezi omume mejupụta Zayọn.
6 Ọ ga-abụ ntọala guzosiri ike nke oge unu niile,
ụlọakụ dị ukwu nke nzọpụta, na amamihe na ihe ọmụma;
egwu ONYENWE ANYỊ bụ igodo nke akụ a.

7 Lee ndị ha dị ike ka ha na-eti mkpu akwa n’okporoụzọ niile;
ndị na-anọchite anya ha, ndị bịara ikwu otu udo ga-esi dịrị na-akwa akwa.
8 Ọ dịkwaghị onye a na-ahụ anya n’okporoụzọ ọbụla.
E meela ka ọgbụgba ndụ niile ghara ịdịkwa ire.
A na-eleli ndị e sitere n’akaebe ha
mee ka ọgbụgba ndụ ahụ guzosie ike.
Ọ dịkwaghị onye a na-asọpụrụ.
9 Ala ahụ niile na-eru ụjụ. Ọ tọgbọkwara n’efu.
Oke ọhịa Lebanọn akpọnwụọla bụrụ ihe ihere.
Sharọn aghọkwaala ọzara;
osisi dị na Bashan na n’elu ugwu Kamel na-agbụchakwa akwụkwọ ha.

10 Ma ONYENWE ANYỊ na-asị, “Ugbu a, m ga-ebili.”
“Ugbu a, ka a ga-eme ka m dị elu;*
ugbu a, ka a ga-ebuli m elu.
11 Unu na-atụ ime ahịhịa kpọrọ nkụ,
unu na-amụpụta ahịhịa,
nkuume unu na-ekupụta bụ ọkụ ga-erepịa unu.
12 Ndị gị ga-ere ọkụ, dịka osisi ogwu e gbuturu egbutu tụnye n’ọkụ;
ha ga-ere ọkụ dịka avụvụ nkwụ.”

---

* **33:10** 33:10 Mgbe a ga-asọpụrụ m

13 Geenụ ntị nụrụ ihe m mere, unu mba niile dị n’ebe dị anya!
Unu ndị nọ nso, kwerenụ n’ezie na m siri ike!
14 Ndị mmehie na ndị ajọ omume nọ na Zayọn na-ama jijiji n’egwu,
ha na-akwa akwa na-asị,
“Onye n’ime anyị pụrụ ibi n’ebe a, n’etiti onye a bụ ọkụ na-erepịa erepịa,
ọkụ nke na-ere ruo mgbe ebighị ebi?”
15 Ndị na-ejeghari n’ezi omume
na-ekwu ihe ziri ezi,
ndị na-ajụ uru sitere n’ụzọ n’ezighị ezi,
ndị na-ewezuga aka ha site na ịnata ngarị dị iche iche,
ndị na-emechi ntị megide izu ịkwafu ọbara,
na-amụchi anya ha abụọ ka ha ghara ịtụgharị uche n’ihe ọjọọ.
16 Ha bụ ndị ahụ ga-ebi n’ebe dị elu,
ndị ebe mgbaba ha ga-abụ ebe e wusiri ike nke ugwu.
A ga-enye ha nri,
mmiri a gaghị akọkwa ha.

17 Anya unu ga-ahụ eze n’ebube ya;
unu ga-ahụkwa alaeze ya nke nsọtụ oke ya dị n’ebe dị anya.
18 N’ime echiche obi unu, unu ga na-atule ihe oke egwu nke oge ndị ahụ gara aga.
“Olee ebe onyeisi ọchịchị ahụ nọ ugbu a?
Ebee ka onye na-anakọta ụtụ ahụ nọ?
Ebeekwa ka onyeisi ahụ nke ụlọ elu nche niile dị n’aka ya nọ?”
19 N’oge ahụ, unu agaghị ahụkwa ndị nganga ahụ ọzọ,
bụ ndị ahụ na-asụ asụsụ nke unu na-amaghị,
nke unu na-adịghị aghọtakwa.

20 Lekwasịnụ Zayọn anya, obodo anyị na-anọ eme mmemme anyị niile;
anya unu ga-ahụkwa Jerusalem,
ụlọ obibi dị jụụ, ụlọ ikwu nke a na-apụghị ibupụ ebupụ;
apụghịkwa iholite ǹtu jidere ya,
maọbụ dọbie nke ọbụla n’ime ụdọ ji ya.
21 Ebe ahụ ka Onyenwe anyị ga-abụrụ anyị Onye dị ike.
Ọ ga-adịkwara anyị ka osimiri na iyi dị obosara.
Ọ dịghị ụgbọ amara
maọbụ ụgbọ ukwu ga-abịa na mmiri ahụ.
22 N’ihi na Onyenwe anyị bụ onye ikpe anyị.
Onyenwe anyị bụ onye na-enye anyị iwu.
Onyenwe anyị bụ eze anyị,
ọ bụ ya na-azọpụta anyị.

23 A tọsaala ụdọ niile:
Ha adịghị ejidesikwa ọkọlọtọ gị ike,
a gbasaghịkwa akwa igbochi ifufe.
Mgbe ahụ, a ga-ekesa ụba ihe a kwatara n’agha
ọ bụladị ndị ngwụrọ ga-ebute ihe nkwata n’agha.
24 Ọ dịkwaghị onye bi na Zayọn ga-asị, “Ahụ esighị m ike,”†
n’ihi na a ga-agbaghara ndị bi n’ime ya mmehie ha niile.

† **33:24** 33:24 Ana m arịa ọrịa

# 34

*Ahụhụ dịrị mba niile*

1 Bịanụ nso, unu ndị mba niile, ṅaa ntị.
Geenụ ntị, unu mba niile nke ụwa.
Ka ụwa na ihe niile dị n'ime ya,
na ihe niile na-esi n'ime ya apụta nụrụ.
2 N'ihi na ONYENWE ANYỊ na-eweso mba niile nke ụwa iwe,
iwe ya dị ọkụ megide ndị agha ha niile.
Ọ ga-ala ha n'iyi kpamkpam,
nyefee ha n'aka ndị ga-egbu ha.
3 Ndị ha e gburu egbu ka a ga-atụpụ.
Ozu ha ga-esikwa isi.
Ugwu niile ga-ejupụta n'ọbara ha.
4 N'oge ahụ, kpakpando niile nke eluigwe ga-agbaze,
a ga-apịakọtakwa mbara eluigwe dịka akwụkwọ,
kpakpando niile ga-ada
dịka ahịhịa osisi vaịnị kpọrọ nkụ,
dịka mkpụrụ osisi fiig chakpọrọ achakpọ.

5 N'ihi na mma agha m arụchaala ọrụ ya n'eluigwe,
lezie anya ihe gaje ime, ọ ga-adakwasị Edọm,
ndị m mara ikpe mbibi.
6 Mma agha ONYENWE ANYỊ jupụtara n'ọbara,
abụba kpuchikwara ya,
ọbara ụmụ atụrụ na mkpi
na abụba sitere n'akụrụ ebule
n'ihi na ONYENWE ANYỊ nwere ịchụ aja na Bozra.
O nwekwara oke ogbugbu ga-adị n'ala Edọm.
7 Oke ehi ọhịa ga-esokwa ha daa,
ha na oke ehi ukwu na oke ehi nta.
Ala ga-ejupụta n'ọbara ha.
Uzuzu nke obodo ahụ ga-amịkọrọ ọbara ha.

8 N'ihi na ONYENWE ANYỊ nwere ụbọchị ahụ bụ ụbọchị ịbọ ọbọ.
Ọ bụ afọ ịkwụghachi Edọm ihe ha mere Zayọn.
9 Isi iyi ndị Edọm niile ga-agbanwe gbajie ojii,
uzuzu dị n'ala ga na-ere ọkụ dịka sọlfọ (ntụ ọkụ),
ala ahụ niile ga-enwuru ọkụ dị ka unyi ojii.
10 Ọ gaghị anyụ anyụ n'abalị maọbụ n'ehihie;
anwụrụ ọkụ ya ga na-ala n'elu ruo ebighị ebi.
Ala ahụ ga-atọgbọrọ n'efu site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ;
ọ dịghị onye ga-esitekwa n'ebe ahụ gafee ọzọ.
11 Ikwighịkwighị nke ọzara na okwolo ga-enweta ya,
ikwighịkwighị ukwu na ugolọma ga-akpa akwụ ha birikwa n'ebe ahụ.
Chineke ga-eseti n'elu Edọm,
eriri ọtụtụ nke ọgbaaghara,
na ihe ịtụ mgbidi nke e tikpọrọ etikpọ, tọgbọrọ n'efu.
12 Ndị ya a na-asọpụrụ agaghị ahụkwa ihe ọbụla n'ebe ahụ nke ha ga-akpọ alaeze.
Otu a kwa, ụmụ ndị eze ya niile agaghị adịkwa.
13 Ogwu ga-etochi ụlọ ukwu ya niile;

ebe ya niile e wusiri ike ga-aghọ ahịhịa ogwu,
ọ ga-abụkwa ụlọ nkịta ọhịa
na nke ikwighịkwighị.
14 Anụ ọhịa niile nke ọzara ga-ezute nkịta ọhịa n’ebe ahụ.
Ụmụ mkpi ọhịa ga-awagharị n’ebe ahụ na-ebeku ibe ha akwa.
N’ebe ahụ ka ụmụ anụ ọhịa na-akpagharị n’abalị ga-ezo onwe ha,
chọtakwara onwe ha ọnọdụ ebe izuike.
15 Ikwighịkwighị ga-akpa akwụ ya n’ebe ahụ.
Ọ ga-anọkwa n’ebe ahụ yie akwa, zụọ ụmụ ya,
lekọtaa ha site n’iji nku ya kpuchie ha.
Ebe ahụ kwa ka ndagbụ ga-ezukọkwa,
nke ọbụla na ibe ya.
16 Nyochaa akwụkwọ nsọ ka ị gụọ ihe ONYENWE ANYỊ gaje ime:
Ọ dịghị anụ ọhịa ọbụla ga-efu.
Ọ dịghị nke ọbụla ga-anọ n’ebe ahụ hapụ ịkpọ ibe ya,
n’ihi na ọnụ ya enyela iwu a.
Mmụọ ya ga-achịkọtakwa ha.
17 Ọ bụ ya onwe ya ga-ekewa ala ahụ,
jiri ihe ọtụtụ n’aka keere ha oke ahụ.
Ha ga-enweta ya ruo mgbe ebighị ebi,
nwekwa ebe obibi n’ebe ahụ site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ.

# 35

### *Ọnụ ndị a gbapụtara*

1 N’ụbọchị ahụ, ọzara na ala kpọrọ nkụ ga-enwe obi ụtọ;
okoko osisi mara mma ga-awapụtakwa n’ọzara.
Dịka rozu, 2 ọ ga-agbawa ifuru jupụta;
ọ ga-aṅụrị ọṅụ nke ukwuu, tiekwa mkpu ọṅụ.
A ga-enye ya nsọpụrụ nke ugwu Lebanọn,
nyekwa ya ịma mma nke ala ubi Sharọn na Kamel.
Ha ga-ahụ ebube ONYENWE ANYỊ n’ebe ahụ,
ha ga-ahụkwa ịdị ukwuu* nke Chineke anyị.

3 Meenụ ka aka ndị ahụ kụdara akụda dịkwa ike,
gbaakwanụ ụkwụ ndị ahụ na-asọ ngọngọ ume.
4 Gwanụ ndị ahụ na-atụ egwu sị ha,
“Dịrịnụ ike, unu atụla egwu,
n’ihi na Chineke unu na-abịa.
Ọ ga-abịa ịbọtara unu ọbọ,
ịkwụghachi ndị iro unu ihe ruuru ha.
Ọ ga-abịa ịzọpụta unu.”

5 Mgbe ọ bịara, ọ ga-emeghe anya ndị kpuru ìsì,
meekwa ka ndị ntị chiri nụ ihe.
6 Ọ ga-eme ka onye ngwụrọ wulie elu dịka ele,
meekwa ka ndị na-adịghị ekwu okwu tie mkpu ọṅụ.
Mmiri ga-agbawapụta sọọ n’ọzara,
mmiri iyi ga-ejupụtakwa n’ala kpọrọ nkụ.
7 Elu ala ahụ na-ere ọkụ n’ụkwụ ga-aghọ ọdọ mmiri.

* **35:2** 35:2 Maọbụ, ịma mma

Ala ahụ nke mmiri kọrọ ga-aghọ isi iyi nke mmiri ga-ejupụta.
Ebe ahụ nkịta ọhịa naara ebi ga-aghọ ala mmiri mmiri;
ahịhịa, na ahịhịa riidi, na ahịhịa papịrọs, ga-epupụta n'ime ya.

8 Okporoụzọ ga-adịkwa n'ebe ahụ,
nke a ga-akpọ, Okporoụzọ Ịdị Nsọ,
Ọ ga-adịrị naanị ndị ahụ na-agbaso Ụzọ ahụ.
Ndị na-adịghị ọcha agaghị eje ije n'elu ya,
ndị nzuzu ajọ omume† agaghị ejegharị n'elu ya.
9 Ọdụm agaghị anọ nso ụzọ ahụ.
Ọ dịkwaghị anụ ọhịa na-egbu mmadụ ga-aga n'elu ya.
E, agaghị ahụ anụ dị otu a n'ebe ahụ.
Kama, ọ bụ naanị ndị a gbapụtara ga-eje ije na ya.
10 Ma ndị ahụ ONYENWE ANYỊ gbapụtara ga-alọtakwa.
Ha ga-eji abụ bata na Zayọn;
ọṅụ na-adịgide ga-adịkwasị n'isi ha.
Oke ọṅụ na obi ụtọ ga-ejupụta n'obi ha.
Iru ụjụ na ịsụ ude‡ ga-efelaga.

# 36

*Senakerib ebuso Jerusalem agha*

1 N'afọ nke iri na anọ nke ọchịchị eze Hezekaya, Senakerib, bụ eze Asịrịa, busoro
obodo Juda niile e wusiri ike agha, meriekwa ha. 2 Mgbe ahụ, eze Asịrịa sitere na
Lakish zipụ ọchịagha ya, ya na usuu ndị agha ijekwuru Hezekaya na Jerusalem. Mgbe
ọchịagha ahụ kwụsịrị n'ụzọ mmiri nke ọdọ mmiri dị Elu, n'ụzọ jere n'ebe ọhịa Ọsụ
akwa. 3 Eliakịm, nwa Hilkaya, onye nlekọta ụlọeze, na Shebna, bụ ode akwụkwọ eze,
na Joa nwa Asaf, onye ndekọ akụkọ ihe mere, pụrụ jekwuru ya.
4 Ọchịagha ahụ sịrị ha, "Gwanụ Hezekaya:
" 'Otu a ka eze ukwu ahụ, bụ eze Asịrịa, na-ekwu, Ọ bụ na gịnị ka ntụkwasị obi
gị dabere? 5 Ị na-ekwu na i nwere ndụmọdụ na ike ibu agha, maọbụ naanị egbe
ọnụ ka ị na-agba. Ọ bụ onye ka ị na-atụkwasị obi, mere i ji enupu isi n'okpuru m?
6 Lee, amatara m na ị na-atụkwasị obi n'Ijipt, mkpanaka achara ahụ gbajiri agbaji,
nke na-adụwa aka onye ọbụla na-adabere na ya. Otu a ka Fero, eze Ijipt dị nye ndị
niile na-atụkwasị ya obi. 7 Ma ọ bụrụ na unu asị m, "Anyị na-atụkwasị ONYENWE
ANYỊ bụ Chineke anyị obi." Ọ bụghị ya ka Hezekaya wezugara ebe ya niile dị elu
na ebe ịchụ aja ya niile, na-asị Juda na Jerusalem, "Unu aghaghị ịkpọ isiala n'ebe
ịchụ aja a?"
8 " 'Ma ugbu a, bịa kwee nna m ukwu, bụ eze Asịrịa nkwa. Aga m enye gị puku
ịnyịnya abụọ ma ọ bụrụ na i nwere ike ịchọta ndị ga-agba ha. 9 Ị ga-esi kwa aṅaa jụ
otu onyeisi nke dịkarịsịrị nta n'ime ndịisi ọrụ onyenwe m, na-agbanyeghịkwa na i
na-atụkwasị obi n'Ijipt maka inweta ụgbọ agha na ndị na-agba ịnyịnya? 10 Tinyere
nke a, abịara m ibuso ala a agha na ibibi ya ma ọ bụghị nkwado ONYENWE ANYỊ?
ONYENWE ANYỊ ya onwe ya gwara m ka m bilie megide obodo a, lakwaa ya n'iyi.' "
11 Mgbe ahụ Eliakịm, Shebna na Joa sịrị ọchịagha ahụ, "Biko, gwa ndị ohu gị okwu
n'asụsụ Aramaik,* ebe ọ bụ na anyị na-aghọta ya. Agwala anyị okwu n'asụsụ Hibru,
ebe ndị nọ n'elu mgbidi ga-anụ."

---

† **35:8** 35:8 Ndị nwere uche gbagọrọ agbagọ ‡ **35:10** 35:10 Ya bụ, ize ume * **36:11** 36:11 Asụsụ Aramaik nke ndị Siria, bụ asụsụ mba na mba ji emekọrịta ihe n'oge ahụ, ma ọ mesịrị ghọọ asụsụ ndị Juu, site na senchuri nke ise tupu a mụọ Kraịst.

12 Ma ọchịagha ahụ zaghachiri, “Ọ bụ n’ihi naanị nna unu ukwu na nye unu onwe
unu ka nna m ukwu ji zite m, ka m kwuo ihe ndị a? Ọ bụghị n’ihi ndị mmadụ ahụ
na-anọdụ n’elu mgbidi, ndị, dịka unu, ha ga-eso rie nsị ha nyụrụ, ṅụọkwa mamịrị
ha nyụrụ?”
13 Mgbe ahụ, ọchịagha ahụ guzoro were oke olu kwuo n’asụsụ Hibru, sị, “Nụrụnụ
okwu niile nke eze ukwu ahụ, bụ eze Asịrịa. 14 Nke a bụ ihe eze sịrị, Unu ekwela ka
Hezekaya duhie unu. Ọ pụghị ịzọpụta unu. 15 Unu ekwela ka Hezekaya mee ka unu
tụkwasị ONYENWE ANYỊ obi, mgbe ọ na-asị, ‘N’ezie, ONYENWE ANYỊ aghaghị ịnapụta
anyị. A gaghị enyefe obodo a n’aka eze Asịrịa.’
16 “Unu aṅakwala Hezekaya ntị. Ihe a ka eze Asịrịa kwuru: Pụkwutenụ m, bịanụ
ka mụ na unu mee udo. Mgbe ahụ, onye ọbụla n’ime unu ga-eri mkpụrụ si n’ubi
vaịnị ya na nke si n’osisi fiig ya, ṅụọkwa mmiri nke si n’ihe icheta mmiri ya: 17 ruo
mgbe m ga-abịa duru unu gaa n’ala dịka nke unu, bụ ala mkpụrụ ọka na nke mmanya
ọhụrụ, ala achịcha na ubi vaịnị jupụtara n’ime ya.
18 “Unu ekwela ka Hezekaya rafuo unu mgbe ọ na-asị, ‘ONYENWE ANYỊ ga-anapụta
anyị.’ O nweela chi niile nke ndị mba ọzọ, nke napụtarala ala ha site n’aka eze
Asịrịa. 19 Olee ebe ka chi ndị Hamat na Apad nọ? Olee ebe ka chi ndị Sefavaim
nọkwa? Ha anapụtala Sameria site n’aka m? 20 Olee chi n’ime chi mba ndị a niile,
bụ ndị zọpụtarala ala ha site n’aka m? Unu si aṅaa chee na ONYENWE ANYỊ pụrụ
ịzọpụta Jerusalem site n’aka m?”
21 Ma ndị ahụ niile gbara nkịtị, ha ekwughị ihe ọbụla, n’ihi na eze nyere ha iwu
sị, “Unu azaghachila ya.”
22 Mgbe Eliakịm nwa Hilkaya, onyeisi ọchịchị, na Shebna ode akwụkwọ eze, na Joa
nwa Asaf, ode akwụkwọ akụkọ eze laghachikwuuru Hezekaya, ha dọwara uwe ha
mgbe ha na-aga igosi ya ịda mba nke obi ha. Ha gwakwara ya ihe niile onyeisi agha
ndị Asịrịa kwuru.

# 37

*Amụma banyere mgbapụta a gbapụtara Jerusalem*

1 Mgbe eze Hezekaya nụrụ nke a, ọ dọwara uwe ya, yikwasị akwa mkpe, baa n’ime
ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ. 2 O zipụrụ Eliakịm, onye nlekọta ụlọeze, Shebna ode
akwụkwọ na ndị okenye n’etiti ndị nchụaja, bụ ndị yikwa akwa mkpe, ka ha jekwuru
Aịzaya onye amụma, nwa Emọz. 3 Ha sịrị ya, “Otu a ka Hezekaya sịrị, Ụbọchị taa
bụ ụbọchị ahụhụ, ịba mba na nke ihe ihere. Ụbọchị jọgburu onwe ya dịka ụbọchị
nwanyị nọ n’oke ihe mgbu nke ịmụ nwa ma ike adịkwaghị o ji amụpụta nwa ya.
4 Ma eleghị anya ONYENWE ANYỊ Chineke gị, ga-anụ okwu ahụ nke Rabashaka, bụ
ọchịagha, onye nna ya ukwu bụ eze Asịrịa, zitere ịkwa Chineke dị ndụ emo. Eleghị
anya ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-abara ya mba n’ihi okwu ndị a niile o kwuru, bụ
ndị ọ nụrụ. Ya mere, kpeere anyị ekpere, anyị bụ ndị fọdụrụ ndụ.”
5 Mgbe ndị ọrụ eze Hezekaya bịakwutere Aịzaya, 6 ọ sịrị ha, “Otu a ka unu ga-asị
nna unu ukwu, ‘Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru: Atụla egwu n’ihi okwu niile nke ị
nụrụ, bụ nke ndị na-ejere eze Asịrịa ozi ji kwuluo m. 7 Gee ntị, mgbe ọ nụrụ akụkọ dị
aṅaa, aga m eme ka ọ chọọ ịlaghachi n’obodo nke aka ya. N’ebe ahụ ka m ga-emekwa
ka e jiri mma agha gbuo ya.’ ”
8 Mgbe ọchịagha ahụ nụrụ na eze Asịrịa e sitela n’obodo Lakish pụa, ọ laghachiri
hụ na eze Asịrịa na-ebuso obodo Libna agha.
9 N’oge ahụ, Senakerib natara ozi na Tiahaka, eze Kush, na-apụta ịbịa ibuso ya
agha. Mgbe ọ nụrụ nke a, o zipụrụ ndị ozi ka ha ga zie Hezekaya ozi, sị, 10 “Gwanụ
Hezekaya, eze Juda: Ekwela ka Chineke onye ị na-atụkwasị obi duhie gị, mgbe ọ na-
asị, ‘Agaghị enyefe Jerusalem n’aka eze Asịrịa.’ 11 N’ezie a, ị nụla ihe ndị eze Asịrịa

mere obodo niile ha busoro agha, otu ha si bibie ha kpamkpam. Ma a ga-anapụtakwa
gị onwe gị? 12 Chi niile nke mba niile, ndị ahụ nna nna m ha lara n'iyi, ha napụtara
ha, bụ chi ndị Gozan, Haran, Rezef na nke ndị Eden ndị nọ na Tel Asa? 13 Olee ebe
eze ndị Hamat maọbụ eze ndị Apad nọ? Olee ebe eze obodo Lair, Sefavaim, Hena na
Iva nọkwa?"

### *Ekpere Hezekaya*

14 Mgbe Hezekaya natara akwụkwọ ozi a site n'aka ndị ozi ahụ, gụọ ya, o weere ya
gaa n'ime ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, gbasaa ya n'ihu ONYENWE ANYỊ. 15 Hezekaya kpere
ekpere nye ONYENWE ANYỊ, sị: 16 "O, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, Chineke
nke Izrel, onye ocheeze ya dị n'etiti ndị cherubim, naanị gị bụ Chineke na-achị alaeze
niile nke ụwa. Ọ bụkwa naanị gị kere eluigwe na ụwa. 17 Tọọ ntị gị n'ala, o ONYENWE
ANYỊ ma nụrụ; meghee anya gị abụọ ONYENWE ANYỊ, ka ịhụ; gee ntị nụkwa okwu niile
ndị ahụ Senakerib zitere, nke o ji ekwulu Chineke dị ndụ.
18 "N'eziokwu, ONYENWE ANYỊ, ndị eze Asịrịa alala ndị a niile na ala ha n'iyi, mee
ka ha tọgbọrọ n'efu, 19 ha atụnyekwala chi ha niile n'ime ọkụ, repịakwa ha, n'ihi
na ọ bụghị chi ka ha bụ, kama ha bụ naanị ihe a kpụrụ akpụ, nke mmadụ ji osisi
na nkume pịa. 20 Ma ugbu a, ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, biko, zọpụta anyị site
n'aka ya, ka alaeze niile nke ụwa mata na naanị gị ONYENWE ANYỊ bụ Chineke, na ọ
dịkwaghị chi ọzọ ma ọ bụghị gị."

### *Ọdịda Senakerib*

21 Mgbe ahụ, Aịzaya nwa Emọz, zigaara Hezekaya ozi, sị, "Otu a ka ONYENWE ANYỊ,
Chineke Izrel, sịrị, N'ihi ekpere gị niile nye m banyere Senakerib, eze Asịrịa, 22 nke
a bụ okwu ONYENWE ANYỊ kwuru megide ya.
"Nwaagbọghọ na-amaghị nwoke, bụ ada Zayọn,
na-elelị gị anya, jirikwa gị na-eme ihe ọchị,
Nwaada Jerusalem
na-efufekwa isi ya mgbe ị na-agbapụ ọsọ.
23 Onye ka ị kparịrị ma kwulukwaa?
Ọ bụ onye ka i sitere na nganga gị
welie olu okwu gị na anya gị elu megide?
Ọ bụ megide onye Nsọ nke Izrel?
24 I sitere n'aka ndị ozi gị
kparịa Onyenwe anyị, kwuluo ya,
ị sịkwara,
'Eji m ọtụtụ ụgbọala m
rigoruo ebe dị elu nke n'elu ugwu niile,
n'ebe kachasị elu nke ugwu Lebanọn.
Egbudasịala m osisi sida ya niile toro ogologo,
na osisi junipa ya niile kachasị mma.
Ejeruola m na nsọtụ ya kachasị n'ịdị elu,
bụ ebe kachasị maa mma n'oke ọhịa ya niile.
25 Egwuola m ọtụtụ olulu mmiri n'ala ndị mba ọzọ,
ṅụkwa mmiri dị n'ebe ahụ.
Ọ bụ ọbụ ụkwụ m ka m ji mee
ka isi iyi niile dị n'Ijipt takpọọ.'

26 "Ọ bụ na ị nụbeghị?
Na mgbe ochie ka m kpebiri ya.
N'ụbọchị ndị ahụ gara aga ka nọ pịa ọpịpịa ya,

ugbu a, emeela m ka ọ bịa na mmezu,
na ị meela ka obodo nke mgbidi gbara gburugburu,
ghọọ mkpokọta nkume.
27 Ndị bi n'ime ha, ndị a napụrụ ike ha nwere,
bụ ndị dara mba, ndị e tinyekwara n'ọnọdụ ihere.
Ha dịka ahịhịa ndụ puru n'ala ubi,
na ome na-epupụta epupụta,
nakwa ahịhịa na-etopụta n'elu ụlọ
nke anwụ na-achakpọ tupu o tolite.

28 "Ma amaara m ebe ị nọ ọnọdụ,
marakwa ọpụpụ gị na mbata gị,
marakwa oke iwe gị megide m.
29 N'ihi ọnụma dị gị n'obi megide m,
n'ihi na mkparị gị eruola m ntị,
aga m etinye nko* m n'imi gị,
werekwa mkpụmkpụ igwe m kpachie egbugbere ọnụ gị,
mee ka ị laghachi
site n'ụzọ ahụ nke i siri bịa.
30 "Ma nke a ga-abụ ihe ịrịbama† nye gị, Hezekaya.
"N'afọ a, unu ga-eri ihe na-epu n'onwe ya,
n'afọ nke abụọ unu ga-eri ihe si na nke ahụ pupụta.
Ma n'afọ nke atọ ghaanụ mkpụrụ ubi, weenụ ihe ubi,
kụọ vaịnị n'ubi vaịnị, riekwanụ mkpụrụ ha.
31 Ọzọkwa, ndị fọdụrụ n'alaeze Juda
ga-agba mgbọrọgwụ n'okpuru ala, mịkwaa mkpụrụ n'elu.
32 N'ihi na ọ bụ site na Jerusalem ka ndị fọdụrụ ga-esi pụta,
otu ndị fọdụrụ ndụ‡ ga-esitekwa n'ugwu Zayọn pụta.
Ọ bụ site n'ịnụ ọkụ n'obi nke ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
ga-emezu nke a.
33 "Ya mere, nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru banyere eze Asịrịa.
"Ọ gaghị azọbata ụkwụ ya n'ime obodo a
maọbụ gbaa ọ bụladị otu àkụ n'ebe a.
Ọ gaghị eji ọta jegharịa n'ọnụ ụzọ ama ya,
maọbụ wuo mgbidi nnọchibido megide ya.
34 Ụzọ o si bịa ka ọ ga-esi laghachi;
ọ gaghị abanye n'obodo a."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
35 "Aga m echebe obodo a, zọpụtakwa ya n'ihi aha m,
na n'ihi Devid, bụ ohu m."
36 Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ pụrụ gaa tigbuo otu puku narị na puku iri asatọ na ise
n'ụlọ ikwu ndị Asịrịa. Mgbe ndị mmadụ tetara n'isi ụtụtụ, lee, ozu ka ha jupụtara
ebe niile. 37 Ya mere, Senakerib, eze Asịrịa, biliri ije, laghachi n'ala ya. Ọ laghachiri
biri n'obodo Ninive.
38 Otu ụbọchị, mgbe ọ nọ na-akpọ isiala n'ụlọ chi ya a na-akpọ Nisrọk, ụmụ ya ndị
ikom aha ha bụ Adramelek na Shareza were mma agha gbuo ya. Ha gbapụrụ ọsọ
gbaga n'ala Ararat. Isahadon, bụ nwa ya nwoke ghọrọ eze n'ọnọdụ ya.

* **37:29** 37:29 Ọ bụrụ na ndị agha Asịrịa e merie obodo n'agha, ha na-eji nko tinye n'imi ndị ha dọtara n'agha, jirikwa eriri igwe tinye n'ọnụ ha. † **37:30** 37:30 Ya bụ, akara ‡ **37:32** 37:32 Gbapụrụ a gbapụ maka ụjọ

# 38

*Ọrịa Hezekaya rịara*

1 N’oge ahụ, Hezekaya rịara ọrịa ruo na ọ gaara anwụ. Aịzaya onye amụma, nwa
Emọz, bịakwutere ya, sị ya, “Otu a ka Onyenwe anyị sịrị: Dozie ezinaụlọ gị, n’ihi na
ị ga-anwụ. Ị gaghị esite n’ute ọrịa a bilie.”
2 Hezekaya tụgharịrị chee ihu ya n’aja ụlọ kpee ekpere nye Onyenwe anyị sị,
3 “Chetakwa, Onyenwe anyị, otu m si jegharịa n’ihu gị n’ikwesị ntụkwasị obi, jiri
obi m niile fee gị ofufe, ma meekwa ihe dị mma n’anya gị.” Hezekaya bekwara akwa
nke ukwuu.
4 Mgbe ahụ, okwu nke Onyenwe anyị rutere Aịzaya, 5 “Gaa, gwa Hezekaya, sị ‘Otu
a ka Onyenwe anyị, bụ Chineke nna gị Devid kwuru, anụla m ekpere gị, ahụkwala
m anya mmiri akwa gị. Aga m atụkwasị afọ iri na ise n’ụbọchị ndụ gị. 6 Aga m
anapụtakwa gị na obodo a site n’aka eze Asịrịa. Aga m echebe obodo a.
7 “ ‘Nke a bụ ihe ịrịbama site n’aka Onyenwe anyị nye gị, na Onyenwe anyị ga-
emezu ihe a nke o kwere na nkwa. 8 Aga m eme ka anyanwụ laa azụ nzọ ụkwụ iri
n’ihe nrigo ụlọ elu Ehaz.’ ” Ya mere, anyanwụ laghachiri azụ nzọ ụkwụ iri.
9 Ederede Hezekaya eze Juda, mgbe ọrịachara ọrịa, nwee ahụ ike:

10 Asịrị m, “Ọ bụ n’oge m bụ okorobịa
ka m ga-agabiga n’ọnụ ụzọ nke ọnwụ,
bụrụ onye anapụrụ oge ndụ m nke fọdụrụ afọdụ?”
11 Asịrị m, “Ọ dịkwaghị mgbe m ga-ahụ Onyenwe anyị ọzọ
n’ala ndị dị ndụ,
m gaghị elegidekwa mmadụ ibe m anya ọzọ,
maọbụ bie n’etiti ndị bi n’ime ụwa a.
12 Esila n’ọnọdụ ya bupụ ụlọ m
dịka ụlọ ikwu nke onye ọzụzụ atụrụ.
Apịakọtala m ndụ m dịka ọkpa akwa si apịakọta akwa
o bipụla ndụ site nkwe-akwa,
ehihie na n’abalị, ị mere ka ndụ m gwụsịa.
13 Enwere m ntachiobi chere chi ọbụbọ.
Ma dịka ọdụm ka ọ na-agbaji ọkpụkpụ m niile.
Ehihie na n’abalị ka ị na-eme ka ndụ m gwụsịa.
14 Dịka eleke maọbụ ụgbala ka m na-ebe akwa.
Ana m asụ ude dịka nduru na-eru ụjụ.
Ike gwụrụ anya m n’ihi ile anya n’eluigwe.
Anọ m n’ọnọdụ mkpagbu, Onyenwe anyị, bịa nyere m aka.”

15 Ma gịnị ka m ga-ekwu?
Ya onwe ya gwara m sị na ọ bụ ya mere nke a.
M ga-eji obi umeala gagharịa ụbọchị ndụ m niile
n’ihi ihe mwute nke obi m.
16 Onyenwe anyị, ọ bụ n’ihi ihe ndị a ka mmadụ ji adị ndụ.
Mmụọ m na-adịkwa ndụ n’ime ha.
I nyeghachila m ahụ ike,
mee ka m dị ndụ.
17 N’ezie, ọ bụ n’ihi ọdịmma m,
ka m ji taa ahụhụ nke ihe mgbu dị otu a.
N’ịhụnanya gị ka ị zọpụtara m
site n’olulu nke ịla n’iyi.
I werela mmehie m niile
wefee n’azụ gị.

18 N’ihi n’ala mmụọ agaghị eto gị,
ọnwụ agakwaghị abụku gị abụ otuto.
Ndị na-arịda n’olulu
agaghị ele anya ikwesi ntụkwasị obi gị.
19 Ọ bụ ndị dị ndụ, e, naanị ndị dị ndụ ga-eto gị otuto,
dị ka m na-eme taa.
Ọ bụ otu ọgbọ na-eme ka ọgbọ na-eso ha
mata ihe banyere ikwesi ntụkwasị obi gị.

20 Onyenwe anyị ga-azọpụta m,
anyị ga-abụ abụ kpọọ ụbọ akwara
n’ụbọchị niile nke ndụ anyị,
n’ime ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị.
21 Aịzaya ekwuolarị sị, “Kwadoonụ mmanụ fiig dị ọkụ tee ya n’elu etuto ahụ, ahụ
ga-adịkwa ya mma.”
22 Hezekaya jụrụ sị, “Gịnị ga-abụ ihe ịrịbama na m ga-aga n’ụlọnsọ ukwu Onyenwe
anyị?”

# 39

*Ndị ozi si Babilọn bịa*

1 N’oge ahụ, Merodak-Baladan, nwa Baladan, bụ eze Babilọn zigaara Hezekaya
akwụkwọ ozi ekele na onyinye, n’ihi na ọ nụrụ na Hezekaya rịara ọrịa ma nwe ahụ
ike. 2 Hezekaya nabatara ndị ozi ahụ nke ọma gosi ha ihe ndị dị n’ụlọakụ ya, ọlaọcha,
na ọlaedo, ụda dị iche iche na-esi isi ụtọ, ezigbo mmanụ oliv, ụlọ niile ebe ngwa agha
ya niile dị, na ihe niile bụ akụ o nwere. Ọ dịghị ihe dị n’ụlọeze ya maọbụ n’alaeze
ya niile nke ọ na-egosighị ha.
3 Mgbe ahụ, Aịzaya onye amụma jekwuru eze Hezekaya jụọ ya sị, “Gịnị ka ndị
ikom ndị ahụ kwuru? Ebeekwa ka ha si bịakwute gị?”
Hezekaya zara sị, “Ọ bụ n’ala dị anya ka ha si bịakwute m, ha si Babilọn.”
4 Onye amụma jụrụ, “Gịnị ka ha hụrụ n’ụlọ gị?”
Hezekaya zara sị, “Ihe niile nke dị n’ụlọ m ka ha hụrụ. Ọ dịghị ihe niile dị n’ụlọakụ
m nke m na-egosighị ha.”
5 Mgbe ahụ, Aịzaya sịrị Hezekaya, “Gee ntị nụrụ okwu Onyenwe anyị, Onye pụrụ
ime ihe niile. 6 Lee, oge na-abịa mgbe a ga-eburu ihe niile dị n’ụlọeze gị, na ihe niile
nke nna nna gị ha debere n’ụlọakụ ruo taa, buru ha bulaa Babilọn. Ọ dịkwaghị ihe
ga-afọdụ, otu a ka Onyenwe anyị kwuru. 7 A ga-ebupụ ụfọdụ n’ime ụmụ gị, ndị bụ
ahụ na ọbara gị, ndị a ga-amụtara gị, buru ha pụọ n’ebe dị anya, ha ga-abụ ndị onozi
n’ụlọeze nke eze Babilọn.”
8 Hezekaya zaghachiri, “Okwu Onyenwe anyị nke i kwuru dị mma.” N’ihi na o
chere n’obi ya sị, “Udo na nchekwa ga-adị n’oge ndụ m.”

# 40

*Nkasiobi dịrị ndị Chineke*

1 Kasịenụ ndị m obi, kasịenụ ha obi,
ka Chineke gị kwuru.
2 Were nwayọọ gwa Jerusalem okwu,
gwa ya;
na ụbọchị ọjọọ ya niile agwụla,
na a kwụzuola ụgwọ mmehie ya niile,
na o sitela n’aka Onyenwe anyị

nata ụgwọ ọrụ karịrị okpukpu abụọ nke mmehie ya niile.

3 Otu onye na-eti mkpu sị,
“Dozienụ ụzọ nye ONYENWE ANYỊ
n’ime ọzara,
meenụ ka ụzọ atụliri atụli
guzozie kwem n’ime ọzara nye Chineke anyị.
4 A ga-eme ka ndagwurugwu ọbụla dị elu,
ugwu ọbụla na ugwu nta ọbụla ka a ga-emekwa ka ọ dị ala,
ebe niile dị mkputamkpu ka a ga-eme ka o guzo kwem,
meekwa ka ebe niile dị ndakoro ndakoro dịrị larịị.
5 N’ihi na a ga-ekpughepụ ebube Onyenwe anyị,
mmadụ niile ga-ahụkọkwa ya n’otu.
N’ihi na ọnụ ONYENWE ANYỊ ekwuola ya.”

6 Olu ahụ sịrị, “Tie mkpu!”
Ma ajụrụ m sị, “Gịnị ka m ga-eti?”

“Mmadụ niile dị ka ahịhịa,
ikwesi ntụkwasị obi ha niile dịkwa ka okoko osisi ọhịa.
7 Ahịhịa na-akpọnwụ, okoko osisi na-achanwụ,*
n’ihi n’okuku ume nke ONYENWE ANYỊ na-ekukwasị ya.
N’ezie, ahịhịa ka ndị mmadụ bụ.
8 E, ahịhịa na-akpọnwụ, okoko na-achanwụkwa,
ma okwu Chineke anyị na-eguzogide ruo mgbe ebighị ebi.”

9 Gị onye na-eweta oziọma nye Zayọn,
rigoro n’elu ugwu;
gị onye na-eweta oziọma nye Jerusalem,
welie olu gị elu tisie mkpu ike;
e, tisie mkpu ike, atụla egwu.
Gwa obodo niile nke Juda okwu sị ha:
“Chineke unu na-abịa.”
10 Lee, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-abịa n’ike,
ike aka ya ka o ji achị.
Lee, ụgwọ ọrụ ya dị ya n’aka,
ọ na-abịa ịkwụghachi ụgwọ.
11 Ọ ga-azụ igwe atụrụ ya dịka onye ọzụzụ atụrụ.
Ọ na-achịkọta ụmụ atụrụ.
N’aka ya abụọ ka ọ ga-ekuru ụmụ atụrụ n’obi ya.
Ọ ga-eji nwayọọ duo ndị na-enye ụmụ ara.

12 Onye jirila ọbụ aka ya tụọ mmiri dị n’oke osimiri?
Maọbụ onye jiri ntu-aka ya tụọ mbara eluigwe?
Onye ka ọ bụ jirila nkata kute uzuzu?
Maọbụ jiri ihe ọtụtụ tụọ ugwu ukwu?
Onye kwa ji ihe ọtụtụ tụọ ugwu nta?
13 Onye nwere ike ịghọta Mmụọ nke ONYENWE ANYỊ,
maọbụ dịka onye ndụmọdụ Onyenwe anyị na-ezi ya ihe?
14 Ọ bụ onye ka ONYENWE ANYỊ gakwuru gbaa izu ka ọ kọwaara ya ihe,

* **40:7** 40:7 Otu a ka ọ dịrị mmadụ.

ọ bụ onye ziri ya ụzọ bụ nke dị mma?
Onye bụ onye ahụ kuziri ya ihe ọmụma,
maọbụ gosi ya ụzọ nke nghọta?

15 N’ezie, mba niile dị iche iche dịka otu ntupụta mmiri tanyere n’ime efere;
a na-agụnye ha dịka uzuzu dị n’elu ihe ọtụtụ e ji atụ ihe;
ọ na-atụ ala ndị ahụ mmiri gbara gburugburu dịka a ga-asị na ha bụ uzuzu ọma
na-adịghị arọ.
16 Osisi niile dị na Lebanọn ezughị iji kwanye ọkụ e ji a chụrụ Chineke anyị aja.
Otu a kwa, anụmanụ niile dị n’ọhịa Lebanọn niile erughị iji chụọrọ Chineke anyị
aja.
17 O nweghị ihe ọbụla mba niile dị n’ụwa bụ n’ihu ya;
ọ na-agụ ha ka ihe na-abaghị uru,
dịka ihe na-erughị ihe efu.

18 Onye kwanụ ka unu ga-eji tụnyere Chineke?
Olee ụdị oyiyi unu ga-eji kọwaa ihe o yiri?
19 Ma gbasara arụsị apịrị apị, nke onye na-akwa nka ọla tụrụ,
nke onye ọkpụ ụzụ ọlaedo na-eji ọlaedo techie ya,
ọ bụkwa ya ka ọ na-akpụrụ ọlaọcha.
20 Ma onye ogbenye na-enweghị ịchụ aja dị otu a
na-ahọrọ osisi nke na-agaghị ere ure.
Ọ na-akpọtara onwe ya onye maara akwa ǹka osisi nke ọma,
onye ga-apịtara ya oyiyi arụsị nke na-agaghị ada ada.

21 Ọ bụ na unu amaghị?
Ọ ga-abụ na unu anụbeghị ya?
Ọ pụtara na a kọbereghị unu ya site na mmalite?
Ọ bụ na unu aghọtabeghị site na mgbe a tọrọ ntọala ụwa?
22 Na Chineke nọ n’elu ocheeze ya nke gbara ụwa gburugburu.
Ndị nọ n’ụwa dịkwa ka ụmụ ụkpana.
Ọ bụ ya tụsara eluigwe dịka akwa,
were ya mere ebe obibi ya.
23 Ọ na-eweda ndị ukwu niile nke ụwa,
mee ha ka ha ghọọ ihe efu.
24 Mgbe a na-ele ha anya, ha na-adị ka ihe a kụrụ n’ubi nke na-epute epute.
Mgbe a kụrụ ha, mgbe ha na-epute,
mgbe ha na-amanye mgbọrọgwụ n’ala,
mgbe ahụ kwa ka Onyenwe anyị na-ezite ifufe nke na-akpọnwụ ha,
bufuo ha dịka ahịhịa kpọrọ nkụ.

25 “Olee onye unu ga-eji tụnyere m?
Onye kwa ka mụ na ya ha?” Nke a bụ ihe Onye Nsọ Izrel na-ajụ.
26 Lee anya n’eluigwe;
onye kere kpakpando ndị a niile?
Onye na-edu ha dịka onye ọzụzụ atụrụ?
Onye na-akpọ nke ọbụla aha ya?
Ọ bụ site n’amamihe na ike ya dị ukwuu,
ka o ji eme ka ha ghara ịkpafu.

27 Ọ bụ n’ihi gịnị ka i ji na-asị, gị Jekọb?
Ọ bụkwa gịnị mere gị Izrel, i ji na-atamu ntamu na-asị,
“Ụzọ m bụ ihe ezonarịrị Onyenwe anyị,
Chineke adịghị etinyekwa anya ya n’ihe metụtara m?”
28 Ọ bụ na ị matabeghị?
Ọ ga-abụ na ị nụbeghị ya?
Onyenwe anyị bụ Chineke nke mgbe niile ebighị ebi,
Onye kere nsọtụ niile nke ụwa.
Ọ naghị ada mba; ike adịghịkwa agwụ ya.
O nwekwaghị onye pụrụ ịmata ịdị omimi nke nghọta ya.
29 Ọ na-enye ndị na-ada mba ike,
na-emekwa ka ndị na-enweghị ume nwee ume.
30 Ọ bụladị ụmụ okorobịa na-ada mba, ike na-agwụkwa ha.
E, ụmụ okorobịa na-asọ ngọngọ daa,
31 ma ndị niile olileanya ha dị na Onyenwe anyị,
ga-agbanwe ike ha, nweta ike ọhụrụ.
Ha ga-eji nku felie elu dịka ugo.
Ha ga-agba ọsọ, ma ike agaghị agwụ ha;
ha ga-aga ije ma ha agaghị ada mba.

# 41

*Onye na-enyere Izrel aka*

1 Nọrọnụ jụụ n’ihu m, unu mba niile mmiri gbara gburugburu!
Ka mba niile gbanwee ike ha.
Ka ha pụta kwuo okwu.
Ka anyị zukọtaa n’ebe ikpe ikpe.

2 “Onye kpọtere onye a sitere n’ọwụwa anyanwụ na-abịa,
onye e sitere n’ezi omume kpọọ ya ije ozi?
O weere mba niile nyefee ya n’aka,
meriekwa ndị eze n’ihu ya.
O ji mma agha ya tie ha mee ka ha ghọọ uzuzu,
jiri ụta ya mee ka ha ghọọkwa igbugbo ọka nke ifufe na-ebugharị.
3 Ọ na-achụ ha ọsọ, ma na-agakwa n’ihu na-enweghị mmerụ ahụ ọbụla.
E, ọ na-agbasokwa ụzọ nke ọ na-agabeghị mbụ.
4 Ọ bụ onye rụrụ ọrụ dị otu a mezukwa ya,
na-akpọ ọgbọ niile site na mmalite?
Ọ bụ mụ onwe m, bụ Onyenwe anyị, onye dị siterị na mbido ihe niile,
onye ga-adịgidekwa ruo ọgwụgwụ ihe niile. Ọ bụ mụ onwe m bụ onye ahụ.”

5 Mba niile bi n’ala mmiri gbara gburugburu ahụla ọrụ m rụrụ. Ha hụrụ ya tụọ egwu;
ndị niile bi na nsọtụ ụwa na-amakwa jijiji.
Ha zukọtara bịa nso.
6 Onye ọbụla n’ime ha na-agba ibe ya ume na-asị,
“Nwee obi ike.”
7 Onye ọkpụ ụzụ ọla na-agba onye ọkpụ ụzụ ọlaedo ume.
Onye ji mkpirisi igwe eme ka ihe dị mụrụmụrụ,
na-agba onye na-akụ osiama ume.
Otu onye na-ekwu banyere nkpukọta ya, na-asị, “A kpụziri ya akpụzi.”
Onye nke ọzọ, na-eji ǹtu kpọgidesie ihe ahụ apịrị apị ike ka ọ ghara ịda.

8 “Ma gị onwe gị, Izrel, ohu m,
Jekọb, onye m họpụtara,
gị mkpụrụ Ebraham, bụ enyi m.
9 Esitere m na nsọtụ niile nke ụwa kpọghachi unu,
gwa unu na ohu m ka unu bụ,
n’ihi na ahọpụtala m unu,
agakwaghị m ahapụ unu.
10 Ya mere, unu atụla egwu n’ihi na anọnyeere m unu.
Ka obi ghara ịlọ unu mmiri n’ihi na abụ m Chineke unu.
Aga m eme ka unu dịrị ike; aga m enyere unu aka;
aga m ejikwa aka nri nke ezi omume m kwagide unu.

11 “Lee! A ga-etinye ndị niile iwe ha dị ọkụ megide unu n’ọnọdụ ihe ihere,
ihere ga-emekwa ha.
Ndị niile na-eguzogide unu ga-aghọ ihe efu,
bụrụ ndị lara n’iyi.
12 Unu ga-ele anya ha, chọọ ha,
ma ọ dịghị onye ọbụla n’ime ha ga-afọdụ ndụ.
Ndị a na-ebuso unu agha
ga-abụ naanị ihe efu.
13 N’ihi na mụ onwe m, bụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị,
onye na-ejidesi aka nri gị ike
bụ onye na-asị gị, ‘Atụla egwu;
aga m enyere gị aka.’
14 Atụla egwu, gị idide, bụ Jekọb,
unu Izrel dị nta, atụla egwu,
n’ihi na mụ onwe m ga-enyere gị aka,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
Onye mgbapụta gị, bụ Onye nsọ nke Izrel.
15 “Lee, aga m eme ka unu ghọọ igwe ọhụrụ eji azọcha mkpụrụ ọka
nke dị nkọ, nwekwa ọtụtụ eze.
Unu ga-azọcha ugwu niile zọpịa ha,
meekwa ka ugwu nta niile dịka igbugbo ọka.
16 Unu ga-ayọgharị, fụchaa ha; ikuku ga-eburu ha bufuo,
oke ikuku ga-ekposasị ha.
Ma unu ga-aṅụrị ọṅụ n’ime ONYENWE ANYỊ,
nyaakwa isi n’ime Onye dị nsọ nke Izrel.

17 “Mgbe mmiri ọṅụṅụ kọrọ ndị ogbenye na ndị mkpa na-akpa,
mgbe ha na-enweghị ike ịchọta mmiri ọṅụṅụ
mgbe akpịrị na-akpọ ha nkụ n’ihi agụụ mmiri,
mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ga-aza ha.
Mụ onwe m, bụ Chineke nke Izrel, agaghị agbakụta ha azụ.
18 Aga m eme ka mmiri site n’ala kpọrọ nkụ nke ugwu niile na-erudatara ha.
Aga m eme ka isi iyi na-asọpụta na ndagwurugwu niile.
Aga m eme ka mmiri jupụta n’ọzara,
meekwa ka isi iyi mmiri site n’ala kpọrọ nkụ na-asọpụta.
19 Aga m akụ n’ọzara,
osisi sida, na osisi akashia, na osisi mietul, na osisi oliv.
M ga-eji osisi junipa,
na osisi saipres na osisi fịa, kụkọta ha ọnụ n’ala ahụ tọgbọrọ n’efu,

20 ka ndị mmadụ hụ, matakwa,
tuleekwa uche ma ghọta,
na ọ bụ aka ONYENWE ANYỊ mere nke a,
na ọ bụ Onye nsọ nke Izrel kere ya.

21 “Wepụtanụ mkpesa unu,”
ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
“Doo okwu unu n’usoro,”
ka Eze nke Jekọb na-asịkwa.
22 “Ka ha bubata arụsị ndị a, ma gwa anyị,
ihe gaje ime.
Ka ha gwa anyị ihe mere n’oge gara aga, ihe ha pụtara,
ka anyị nwee ike tulee ha
matakwa ihe ga-abụ ikpeazụ ha.
Maọbụ kwupụtara anyị ihe ndị ahụ na-abịa,
23 gwa anyị ihe ọdịnihu ji,
ka anyị mara na unu bụ chi.
Meenụ ezi ihe, maọbụ ihe ọjọọ,
nke ga-eme ka anya gbagwojuo anyị, ka anyị jupụtakwa n’egwu.
24 Ma unu dị nta karịa ihe efu.
Ọrụ unu niile bụkwa ihe na-abaghị uru.
Onye họọrọ unu emeela onwe ya ihe arụ.

25 “Akpọliela m otu onye site n’akụkụ ugwu, ọ na-abịakwa.
Otu onye na-asọpụrụ aha m sikwa n’ọwụwa anyanwụ.
Ọ na-azọpịa ndị ọchịchị niile dịka ha bụ ụrọ,
ọ ga-azọpịa ha dịka onye na-akpụ ite si azọpịa aja ụrọ.
26 O kwuru maka nke a site na mmalite, ka anyị nwee ike mara,
maọbụ mgbe na o mebeghị, ka anyị nwee ike sị, ‘Ihe o kwuru ziri ezi’?
O nweghị onye kwuru ihe banyere nke a,
o nweghịkwa onye mere ka amata ya,
o nwekwaghị onye si n’ọnụ gị nụ okwu ọbụla.
27 Abụ m onye mbụ gwara Zayọn, ‘Lee, n’ebe a ka ha dị!’
Ọ bụ m ziteere Jerusalem onyeozi oziọma.
28 Elegharịrị m anya ma o nweghị onye m hụrụ.
O nweghị onye nọ n’etiti chi ha nke nwere ike inye ndụmọdụ;
o nweghị onye inye ọsịsa ajụjụ mgbe m jụrụ ha.
29 Lee, ha niile bụ ụgha!
Ọrụ ha niile pụtara ihe efu,
arụsị ha niile awuru awu bụ naanị ifufe na ọgbaaghara.

# 42

*Ohu ONYENWE ANYỊ*

1 “Lee ohu m, onye m na-agba ume,
onye m họpụtara, onye ihe ya na-atọ mkpụrụobi m ụtọ.
Aga m eme ka Mmụọ m dịrị n’ime ya.
Ọ ga-emekwa ka ikpe ziri ezi rute mba niile aka.
2 Ọ gaghị eti mkpu maọbụ welie olu ya kwaa akwa,
maọbụ welie olu ya elu, ọ gaghị eme ka a nụ olu ya n’ezi.

3 Ọ gaghị agbaji ahịhịa riidi* azọpịara azọpịa,
maọbụ menyụọ ogho oriọna na-enwu ntakịrị ntakịrị.
Ọ ga-esite n’ikwesị ntụkwasị obi wepụta ikpe ziri ezi.
4 Ọ gaghị asọ ngọngọ maọbụ daa mba,
ruo mgbe o hiwere ikpe ziri ezi n’elu ụwa.
Ọ bụkwa n’ozizi ya ka agwa etiti niile ga-atụkwasị olileanya ha.”

5 Nke a bụ ihe Chineke bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
onye ahụ kere eluigwe niile, onye gbasapụkwara ha,
onye gbasapụkwara ụwa n’ihe niile nke si n’ime ya apụta,
onye na-enye ndị niile bi n’ime ya ume,
na-enyekwa ndị na-agaghari n’ime ya ndụ.
6 “Mụ onwe m, bụ ONYENWE ANYỊ, akpọla gị ka i gosi ezi omume m.
Aga m echebe gị, gbaa gị ume,
n’ihi na eweere m gị nye ndị m
ka ị bụrụ ihe imesi ọgbụgba ndụ m ike.
Ị ga-abụkwa ìhè nye mba niile.
7 Ị ga-emeghe anya ndị kpuru ìsì,
gbapụtakwa ndị nọ n’ụlọ mkpọrọ,
meekwa ka ndị nọ n’ụlọ mkpọrọ gbara ọchịchịrị nwere onwe ha.

8 “Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ! Nke a bụkwa aha m.
Agaghị m enye onye ọzọ ugwu na nsọpụrụ m.
Mụ na arụsị a pịrị apị agakwaghị azọ otuto m.
9 Lee ihe ochie emezuola
ma nke ọhụrụ ka m na-ekwupụta.
Tupu ha pụta ìhè
ana m akpọsa ha nye unu.”

### *Abụ otuto nye ONYENWE ANYỊ*

10 Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ ọhụrụ; tookwanụ ya,
unu ndị niile bi na nsọtụ niile nke ụwa,
unu ndị na-arịda n’osimiri, na ihe niile bi n’ime ya.
Toonu ya unu ndị bi n’ala ebe mmiri gbara gburugburu.
11 Ka ọzara na obodo niile dị n’ime ya welie olu ha elu,
ka ndị bi na Keda ṅụrịa ọṅụ.
Ka ndị bi na Sela tie mkpu ọṅụ,
ka ha si n’elu ugwu niile tisie mkpu ọṅụ ike.
12 Ka ha nye ONYENWE ANYỊ ebube,
kpọsaakwa otuto ya n’ala niile mmiri gbara gburugburu.
13 ONYENWE ANYỊ ga-apụta buo agha dịka dike.
Ọ bụ site n’ịnụ ọkụ n’obi nke onye agha ka ọ ga-eji buo agha.
Ọ ga-eti mkpu agha megide ndị iro ya,
ma merie ha.

14 “Ọ dịla anya kemgbe m gbara nkịtị;
ejidesịrị m onwe m aka ike.
Ma ugbu a, aga m egosi iwe m;
aga m asụ ude, kwaa akwa dị ka nwanyị ime na-eme.
15 Aga m eme ka ugwu ukwu na ugwu nta niile dị larịị,

---
* **42:3** 42:3 Ya bụ, osisi achara

meekwa ka ihe ọkụkụ ha niile kpọnwụọ.
Aga m eme ka osimiri ghọọ ọzara,
meekwa ka ọdọ mmiri niile takpọọ.
16 Aga m edu ndị kpuru ìsì, site n'ụzọ nke ha na-amaghị,
n'okporoụzọ ha agatụbeghị ka m ga-edu ha;
Aga m eme ka ọchịchịrị ghọọ ìhè n'ihu ha,
meekwa ka ebe niile gbagọrọ agbagọ guzozie.
Ihe ndị a niile ka m ga-eme.
Agaghị m agbakụta ha azụ.
17 Ma ndị niile na-atụkwasị arụsị obi,
ndị na-asị ihe ndị ahụ a pịrị apị, 'Unu bụ chi anyị,'
a ga-achụghachi ha azụ n'ọnọdụ ihere.

### *Izrel kpuru ìsì, chie ntị*

18 "Geenụ ntị, unu ndị ntị chiri,
leenụ anya unu ndị ìsì kpuru, ma hụ ụzọ.
19 Olee onye kpuru ìsì dịka ohu m?
Onye kwa ka ntị chiri dịka onyeozi nke eziokwu m?
Ọ dị onye ọzọ kpuru ìsì
dịka onye a m họpụtara ka ọ bụrụ ohu Onyenwe anyị?
20 Ị hụla ọtụtụ ihe, ma ị dịghị atụkwasị uche gị na ha.
Ntị gị ghere oghe, ma ị dịghị eji ya anụ ihe."
21 Onyenwe anyị emeela ka iwu ya dị ukwuu,
meekwa ka ọ dị ebube,
n'ihi na ọ tọrọ ya ụtọ isite na ya mee ka ezi omume ya pụta ìhè.
22 Ma e meela ka ndị ya bụrụ ndị e zukpọrọ ihe ha nwere n'oge agha.
A kpọchikwara ha n'olulu e gwuru n'ala,
zoo ha n'ime ụlọ mkpọrọ dị iche iche.
Ha aghọọla ihe a kwatara n'agha,
ma ọ dịghị onye na-anapụta ha.
Ha aghọkwaala ihe e si n'aka mmadụ pụnara ya n'ike,
ma ọ dịghị onye na-asị ndị iro ha, "Nyeghachikwa m ihe m i ji aka ike were."

23 Onye ka ọ bụ n'etiti unu nke ga-ege ntị n'ihe ndị a?
Onye ga-aṅa ntị si otu a mata ihe na-aga ime n'oge dị n'ihu?
24 Onye weere Jekọb nyefee n'aka ndị na-ebibi ihe,
onye were Izrel nyefee ndị ohi?
Ọ bụ na ọ bụghị Onyenwe anyị
onye ha mehiere megide?
N'ihi na ha ekweghị eso ụzọ ya niile,
ha erubeghị isi nye iwu ya.
25 Ọ bụ ya mere o ji wụkwasị ndị ya iwe ọkụ ya,
ihe ike nke agha.
Ọ bụ ezie na iwe ya bịakwasịrị ha dịka ọkụ na-erepịa erepịa, ma ha aghọtaghị ihe kpatara ya;
o repịara ha, ma ha atụgharịa uche ha banyere ya.

## 43

### *Onye nzọpụta ndị Izrel nwere*

1 Ma ugbu a, nke a bụ ihe Onyenwe anyị kwuru,
bụ onye kere gị, Jekọb,

na onye kpụrụ gị Izrel,
“Atụla egwu, n’ihi na agbapụtala m gị.
Akpọọla m gị aha, ị bụkwa nke m.
2 Mgbe ị si na mmiri dị omimi na-agafe,
aga m anọnyere gị.
Mgbe i si na mmiri nke na-ekwo oke okwukwo,
agaghị m ekwe ka o bufuo gị.
Mgbe ị na-eje ije n’ime ọkụ,
ọ gaghị eregbu gị.
Ire ọkụ ahụ agakwaghị erepịa gị.
3 N’ihi na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị,
Onye nzọpụta gị, na Onye nsọ nke Izrel.
Ewerela m Ijipt
na Kush na Seba nye ka ha bụrụ ihe i ji gbara onwe gị.
4 Ebe ị bụ ihe dị oke ọnụahịa n’anya m,
ebe ọ bụkwa na m hụrụ gị n’anya,
aga m ewere ndị mmadụ nye n’ihi ịgbapụta gị.
Aga m ebibi ndụ ndị mmadụ n’ihi ichebe gị ndụ.
5 Atụla egwu n’ihi na anọnyeere m gị.
Aga m esite n’ọwụwa anyanwụ
na n’ọdịda anyanwụ chịkọtaa ụmụ gị.
6 Aga m enyekwa ugwu na ndịda iwu sị ha,
‘Hapụnụ ha ka ha laa,
unu egbochikwala ha.’
Hapụnụ ndị m ka ha site n’ala niile dị anya nke nsọtụ ụwa lọghachi,
7 onye ọbụla nke a na-akpọ aha m,
onye m kere n’ihi otuto m,
onye m kpụrụ, ma meekwa.”

8 Kpọpụtanụ ha, bụ ndị ahụ nwere anya ma ha adịghị ahụ ụzọ,
ndị nwere ntị ma ha adịghịkwa anụ ihe.
9 Mba niile dị iche iche ezukọtala,
mmadụ niile agbakọtakwala.
Onye n’ime chi ha kwuru na ihe dị otu a ga-eme,
onye kwa kwuru ihe ndị a mere n’oge gara aga?
Ka ha kpọbata ndị akaebe ha izipụta na ihe ha kwuru ziri ezi,
ka ndị ọzọ nụ ya ma sị na, “Ọ bụ eziokwu.”
10 “Unu bụ ndị akaebe m,” ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
“bụrụkwa ndị ohu m họpụtara,
ka unu mara m, ma kwerekwa na m,
ghọtakwa na Mụ onwe m bụ onye ahụ.
Ọ dịghị chi a kpụrụ tupu m dịrị,
ọ dịkwaghị nke ga-eso m n’azụ.
11 Mụ, ọ bụ na naanị m, bụ ONYENWE ANYỊ,
ọ dịkwaghị onye nzọpụta ọzọ dị ma ewezuga m.
12 Mụ onwe m egosila, zọpụta ma kwupụtakwa ya, mee ka unu nụrụ ya,
mụ onwe m, ọ bụghị chi ndị mba ọzọ nọ n’etiti unu.
Unu bụkwa ndị akaebe m, na mụ onwe bụ Chineke,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
13 “E, site n’ebighị ebi ruo n’ebighị ebi, mụ onwe m bụ Chineke.
Ọ dịghị onye pụrụ ịnapụta m ihe m ji n’aka.

Mgbe m rụrụ ọrụ, onye pụrụ ịgbanwe ya?”

### *Ebere Onyenwe anyị, na-ekwesighị ntụkwasị obi Izrel*

14 Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru,
Onye mgbapụta unu na Onye nsọ nke Izrel.
“N’ihi unu, aga m eziga ozi na Babilọn
budata ndị Kaldịa niile dịka ndị gbapụrụ agbapụ,
n’ime ụgbọ mmiri ahụ niile ha ji anya isi.
15 Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, Onye nsọ gị,
onye kere Izrel, Eze unu.”

16 Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
bụ onye ahụ kwara ụzọ n’ime osimiri,
nke mere ka okporoụzọ dịrị n’ime oke osimiri.
17 Nke na-eme ka ụgbọ ndị agha dị ukwuu, na ịnyịnya pụta,
ndị agha na ụsụ ha achịkọtara ọnụ,
mee ha ka ha dinaa n’ebe ahụ, ghara ibilitekwa ọzọ,
dịka ha bụ ọkụ ogho oriọna e menyụrụ emenyụ.
18 “Chefuonu ihe ndị ahụ niile mere n’oge gara aga;
unu atụgharịkwala uche unu na ha.
19 Kama leenụ anya ihe ọhụrụ nke m na-aga ime.
Leenụ ya n’ihi na o bidolarị ịpụta ihe. Ọ ga-abụ na unu adịghị ahụ ya?
N’ihi na ana m akwa okporoụzọ n’ọzara,
na-emekwa ka mmiri jupụta n’ala tọgbọrọ n’efu.
20 Anụ ọhịa niile na-asọpụrụ m,
nkịta ọhịa, na enyi nnụnụ niile na-ekele m,
n’ihi na emeela m ka mmiri jupụta n’ọzara,
meekwa ka isi iyi na-asọ n’ala ebe tọgbọrọ n’efu,
nye ndị nke m ihe ọṅụṅụ, bụ ndị m họpụtara.
21 Ndị m kpụrụ nye onwe m,
ka ha kọsaa akụkọ otuto m.

22 “Ma unu akpọkughị m, Jekọb,
kama ihe banyere m agwụla gị ike, Izrel.
23 I kpụrụghị atụrụ wetara m maka aja nsure ọkụ,
maọbụ jiri aja niile sọpụrụ m.
O nweghị mgbe m kwagidere gị ka i wetara m onyinye mkpụrụ ọka,
maọbụ mee ka ike gwụ gị site n’ịna gị ụda na-esi isi ụtọ.
24 Unu ewetabereghị m ụda kalamus na-esi isi ụtọ,
maọbụ were abụba anụ nke aja unu niile mee ka obi tọọ m ụtọ.
Kama ọ bụ naanị mmehie unu ka unu na-ebokwasị m,
unu ejirila ajọ omume unu mee ka ike gwụsịa m.

25 “Mụ onwe m, ọ bụ naanị mụ onwe m, bụ onye na-ehichapụ mmehie unu.
Ana m emekwa ya n’ihi na ọ dị m mma n’obi ime ya.
Agakwaghị m echeta mmehie unu ọzọ.
26 Chetara m ihe gara aga,
ka anyị rụrịta ụka n’etiti onwe anyị,
doo okwu gị n’usoro igosi na ị bụ onye ikpe na-amaghị.
27 Site na mmalite, nna nna unu ha mehiere megide m.
Ndị m dunyere ka ha kuziere unu ihe nupukwara isi megide m.

28 Ya mere, m ji menye ndị a maara aha ha n’ụlọnsọ ihere.
Enyefere m Jekọb ka ọ bụrụ onye ewezugara nye mbibi,
nyekwa Izrel ka ọ bụrụ ihe mkparị.

# 44

*Izrel onye a họpụtara*

1 “Ma ugbu a, gee ntị gị Jekọb, bụ ohu m,
geekwanụ ntị, unu ndị Izrel m họpụtara.
2 Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ na-ekwu,
bụ onye kere unu, onye kpụrụ unu n’ime n’afọ,
na onye ga-enyere unu aka:
Atụla egwu, gị Jekọb,* ohu m,
atụkwala egwu gị Jeshurun, onye nke m họpụtara.
3 N’ihi na aga m eme ka ala ahụ kpọrọ nkụ nweta mmiri,
mee ka mmiri na-asọgharị n’ala ahụ akpịrị na-akpọ nkụ.
Aga m awụkwasị ụmụ ụmụ unu Mmụọ m,
meekwa ka ngọzị m dịrị ha.
4 Ha ga-etopụta etopụta dịka ahịhịa a gbara mmiri,
e, dịka osisi pọpla n’akụkụ iyi jupụtara na mmiri.
5 Ha ga-eji nganga sị, ‘Abụ m nke ONYENWE ANYỊ,’
maọbụ ‘Abụ m nwa nwa Jekọb,’
ebe ndị ọzọ ga-edepụta n’aka ha, ‘Nke ONYENWE ANYỊ ka m bụ,’
ha ga-agụkwa onwe ha Izrel.

*ONYENWE ANYỊ, ọ bụghị arụsị*

6 “Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ na-ekwu,
onye bụ Eze Izrel na Onye mgbapụta ya, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile:
Mụ onwe bụ Mmalite na Ọgwụgwụ;
ọ dịkwaghị Chineke ọzọ dị ma ewezuga m.
7 Ọ bụkwa onye dị ka m? Ya kwupụta ya.
Ya kwupụta ya, doo ya n’usoro ka ntị nụrụ!
Ya kwupụta ihe niile mere kemgbe m mere ka ndị m guzosie ike.
Ya kwupụtakwa, ma dokwaa ha n’usoro,
ihe niile na-aga ime n’oge dị n’ihu.
8 Unu atụla egwu. Unu amakwala jijiji.
Ọ bụ na m akọpụtaghị ihe ndị a ma kwupụta ha n’oge gara aga.
Unu onwe unu bụ ndị akaebe m. Ọ dị chi ọzọ dị ma e wezuga m?
Mba! O nweghị Oke nkume ọzọ dị, nke m maara ihe banyere ya.”

9 Ndị a niile na-apị arụsị bụ ndị nzuzu.
Chi ndị ahụ niile ha na-agụ dị ka ihe ukwu bụkwa ihe na-enweghị isi.
Ndị niile na-akpọ isiala nye chi ndị a bụ ndị kpuru ìsì,
na ndị amamihe kọrọ, ndị ihere ga-emekwa.
10 Ọ baghị uru mmadụ ịkpụrụ onwe ya arụsị maọbụ chi a pịrị apị,
nke na-apụghị inyere ya aka n’ụzọ ọbụla?
11 Lee ihere ga-eme ndị niile na-akpọ isiala nye ya.
Ndị kpụrụ ha bụ naanị ndị mmadụ.
Ka ha niile chịkọta onwe ha, guzo, nwee mkpebi ha,
ha ga-anọ n’ọnọdụ n’ihere, na n’oke egwu.

* **44:2** 44:2 Maọbụ, Izrel

12 Ọkpụ ụzụ na-ewere ngwa ọrụ ya
na-ahụ ya n’ime icheku ọkụ,
ọ na-eji mkpirisi igwe onye ọka tipịa ya n’ụdịdị arụsị,
ọ bụ ike nke ogwe aka ya ka o ji akpụ ụzụ.
Agụ na-agụ ya, ike na-agwụsịkwa ya;
ọ ṅụghị mmiri ọbụla, ọ na-adakwa mba.
13 Onye ọka osisi na-esite n’eriri ọtụtụ tụpụta osisi
were pensụlụ kaa ya;
ọ na-ewere ngwa ọrụ ya kpụchaa osisi ahụ,
were ngwa ọrụ ịka akara, kaa ya akara.
Ọ na-arụ ya dịka oyiyi mmadụ,
oyiyi mmadụ n’ịma mma ya niile,
maka ibi n’ime ụlọ arụsị.
14 Ọ na-egbutu osisi sida dị iche iche,
maọbụ osisi saipres ma ọ bụkwa osisi ook.
Ọ na-ahapụ ya ka o too n’etiti osisi dị iche iche nke oke ọhịa,
maọbụ kụọ osisi fịa, nke mmiri ozuzo na-eme ka o too nke ọma.
15 Ọ bụkwa nkụ ka eji ya e mere;
ụfọdụ ka ọ na-ewere nya ọkụ,
ọ na-eji ya afụnwu ọkụ ghee achịcha.
Sitekwa na ya pịa chi, kpuo ihu n’ala nye ya;
ọ na-emekwa arụsị apịrị apị, kpọọ isiala nye ya.
16 Ọkara n’ime osisi ndị a ka o ji emenwu ọkụ;
n’elu ya kwa ka ọ na-esi nri ya,
ọ na-ahụnye anụ, were tajuo afọ ya.
Nkụ ahụ ka o ji anya ọkụ na-asị,
“Ahaa, ahụ ekpola m ọkụ; ahụla m ọkụ.”
17 Ihe fọdụrụ n’ime osisi ahụ ka ọ na-ewere kwaara onwe ya arụsị a pịrị apị;
Ọ na-ada n’ala n’ihu ya, fee ya ofufe.
Ọ na-ekpekwara ya ekpere na-asị,
“Biko, Zọpụta m, n’ihi na chi m ka ị bụ!”
18 Ha amaghị ihe ọbụla; ha adịghị aghọtakwa,
n’ihi na-emechiela anya ha ka ha ghara ịhụ ụzọ,
mechiekwa uche ha, ka ha ghara ịghọta.
19 Ọ dịghị onye na-anọdụ chee echiche,
ọ dịghịkwa onye nwere ihe ọmụma maọbụ nghọta ị sị,
“Ụfọdụ n’ime osisi a ka m ji kwanye ọkụ,
Ọ bụladị ghee achịcha n’elu icheku ọkụ ya,
ejikwa m ụfọdụ n’ime ya hụọ anụ m tara.
M ga-esite na nke fọdụrụ mepụta ihe rụrụ arụ?
Ọ bụ ogwe osisi ka m ga-akpọ isiala nye?”
20 Onye na-adịghị eche ụdị echiche a bụ onye nzuzu, nke na-eji ntụ si n’ebe a kwanyere ọkụ na-azụ onwe ya.
Ọ pụghị ịnapụta onwe ya, maọbụ jụọ onwe ya ajụjụ sị,
“Ihe a m ji n’aka m, nke m na-akpọ chi, ọ bụghị okwu ụgha ka ọ bụ?”

21 “Cheta ihe ndị a, gị Jekọb,
n’ihi na gị bụ Izrel, ị bụ ohu m.
Ọ bụ m kpụrụ gị, ị bụ ohu m;
gị bụ Izrel, agaghị m echezọ gị.

22 Ehichapụla m njehie gị niile; dịka igwe ojii,
hichapụkwa mmehie gị dịka igirigi ụtụtụ.
Lọghachikwute m,
n'ihi na akwụọla m ụgwọ ịgbapụta gị."

23 Bụọnụ abụ oke ọṅụ, unu eluigwe, n'ihi na ONYENWE ANYỊ emeela ya;
tienụ oke mkpu, unu ụwa dị n'ala.
Tienụ mkpu ọṅụ, unu ugwu niile,
unu bụ oke ọhịa niile na osisi ọbụla nke dị n'ime gị,
n'ihi na ONYENWE ANYỊ agbapụtala Jekọb,
na-egosikwa ebube ya n'Izrel.

*A ga-ebikwa na Jerusalem*

24 "Otu a, ONYENWE ANYỊ na-ekwu,
Onye mgbapụta unu, onye ahụ kpụrụ unu n'ime afọ:

Mụ onwe bụ ONYENWE ANYỊ,
Onye kere ihe niile,
onye gbatipụrụ eluigwe,
onye gbasara ụwa naanị mụ onwe m,
25 onye na-emebi ihe ịrịbama niile nke ndị amụma ụgha
na-emekwa ka ndị na-ajụta ase ghọọ ndị nzuzu,
onye na-ekpu ihe ọmụmụ ndị maara ihe ihu n'ala
tụgharịa ya, ha ghọọ ihe nzuzu,
26 onye na-eme ka okwu ndị ohu ya mezuo
meekwa ka amụma ndị ozi ya buru mezuo,

onye na-asị banyere Jerusalem, 'A ga-ebikwa n'ime ya ọzọ,'
na-asịkwa banyere obodo niile nke Juda, 'A ga-ewughachi ha,'
banyere mkpọmkpọ ebe ha niile, 'Aga m ewulikwa ha.'
27 Onye ahụ na-asị, ogbu mmiri, 'Takọrọ,
aga m emekwa ka iyi ya niile takọrọsịa,'
28 Onye na-asị banyere Sairọs, 'Ọ bụ onye ọzụzụ atụrụ m,
ọ ga-emezukwa ihe niile na-adị m mma;
Ọ ga-asịkwa banyere Jerusalem, "Ka ewugharịa ya,"
ma banyere ụlọnsọ, "Ka ehiwe ntọala ya." '

# 45

1 "Nke a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu nye ohu ya nke o tere mmanụ,
bụ Sairọs, onye m ga-eji aka nri ya
megide mba niile, mee ka ha nọrọ n'okpuru ya,
napụkwa ndị eze ngwa agha ha niile,
megheere ya ọnụ ụzọ niile
nke na ọ dịkwaghị ọnụ ụzọ ama a ga-emechibido ya.
2 Mụ onwe m ga-ebu ụzọ gaa n'ihu gị
kwazee ugwu ukwu niile,
tiwasịa ibo ọnụ ụzọ bronz niile
gbuwakwaa mkpọrọ igwe dị iche iche.
3 Aga m enye gị akụ niile e zoro n'ebe ọchịchịrị gbara,

akụnụba niile e zoro n’ebe nzuzo dị iche iche.
Ka ị mata na ọ bụ mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ,
bụ Chineke nke Izrel, onye ahụ kpọrọ gị aha, na-eme ihe ndị a niile.
4 N’ihi Jekọb bụ ohu m,
n’ihi Izrel onye m họpụtara nye onwe m,
ka m ji kpọọ gị aha gị
nyekwa gị aha nke nsọpụrụ,*
maọbụ ezie na ị maghị onye m bụ.
5 Ọ bụ m bụ ONYENWE ANYỊ, ọ dịghịkwa onye ọzọ dị;
ewezuga m, ọ dịkwaghị Chineke ọzọ dị.
Ọ bụ ezie na ị maghị m,
ma aga m eme ka ị dịrị ike.
6 Mgbe ahụ, ụwa niile, site n’ọwụwa anyanwụ
ruo n’ọdịda anyanwụ,
ga-amata n’ezie na Chineke ọzọ adịghị, karịa m.
Abụ m ONYENWE ANYỊ, ọ dịghịkwa onye ọzọ dị.
7 Ọ bụ m kpụrụ ìhè, keekwa ọchịchịrị.
Ọ bụ m na-ezite ọganihu, na-ekekwa ịla n’iyi.
Mụ onwe m, bụ ONYENWE ANYỊ, na-eme ihe ndị a niile.

8 “Gị, eluigwe, zodata ezi omume m
ka mbara eluigwe na-ezodakwa ya dịka mmiri.
Ka ala meghee onwe ya,
ka nzọpụta pupụta,
ka ezi omume soro ya puokwa dịka ahịhịa.
Ọ bụ mụ onwe m, bụ ONYENWE ANYỊ kere ha niile.

9 “Ahụhụ na-adịrị mmadụ ahụ nke na-alụso onye kere ya ọgụ,
mmadụ ahụ bụ otu mpekele ejuju
n’etiti mpekele ejuju niile dị n’ala.
Ụrọ ọ na-ajụ onye ji ya akpụ ihe ajụjụ sị,
‘Gịnị ka i ji m akpụ?’
Ka ọrụ gị ọ ga-asị,
‘Lee, ọ dịghị aka abụọ o nwere’?
10 Ahụhụ na-adịrị nwantakịrị ahụ gwara nna ya okwu sị,
‘Gịnị ka ị mụtara na nwa?’
maọbụ sịkwa nne ya,
‘Gịnị bụ ihe ị mụpụtara?’†

11 “Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye nsọ nke Izrel,
Onye kere Izrel na-ajụ ajụjụ sị;
banyere ihe ndị gaje ime
ị na-ajụ m ajụjụ banyere ụmụ m,
maọbụ nye m iwu banyere ọrụ aka m?
12 Ọ bụ mụ onwe m kere ụwa,
keekwa mmadụ ka o biri n’ime ya.
Aka m abụọ ka m ji gbasaa mbara igwe,
nyekwa kpakpando niile iwu.
13 M ga-akpọlite Sairọs n’ezi omume m:

* **45:4** 45:4 Tuo gị aha nsọpụrụ † **45:10** 45:10 Ime gịnị na-eme gị

M ga-eme ka ụzọ ya niile zie ezi.
Ọ ga-ewughachi obodo m,
mee ka ndị m a dọtara n'agha nwere onwe ha,
ma ọ bụghị n'ihi ọnụahịa maọbụ ihe nrite,
ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru."
14 Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
"Ihe ndị Ijipt rụpụtara na ngwa ahịa ndị Kush
na ndị Saba ahụ toro ogologo,
ha ga-abịakwute gị,
ha ga-abụ nke gị;
ha ga-esokwa gị n'azụ
dịka ndị mkpọrọ e kere agbụ.
Ha ga-akpọ isiala n'ihu gị
rịọ gị arịrịọ, na-asị,
'N'ezie, ọ bụ naanị otu Chineke dị, onye nọnyere gị,
ọ dịkwaghị chi ọzọ dị.' "

15 N'ezie, gị onwe gị bụ Chineke, Onye nzọpụta Izrel.
Ị bụkwa Chineke, onye na-ezonarị mmadụ onwe ya.
16 A ga-eme ndị niile na-akpụ arụsị ihe ihere,
e, ihere ga-eme ha n'ihi na a ga-etinye ha n'ọnọdụ oke ihere.
17 Ma ONYENWE ANYỊ ga-eji nzọpụta
nke ga-adị ruo mgbe ebighị ebi zọpụta Izrel.
Ihere agaghị eme ha.
A gaghị etinyekwa ha n'ọnọdụ ihe ihere ruo mgbe ebighị ebi.

18 N'ihi na otu a ka ONYENWE ANYỊ onye kere eluigwe sịrị,
ọ bụ ya dobekwara ihe niile n'ọnọdụ ha.
Ọ bụ ya, bụ Chineke,
onye zubere ma kee ụwa,
tọkwaa ntọala ya.
O keghị ụwa ka ọ tọgbọrọ n'efu,
kama ọ bụ ka e biri n'ime ya ka o ji kee ya.
Ọ sịrị,
"Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ;
ọ dịkwaghị Chineke ọzọ dị.
19 Ọ bụghị na nzuzo ka m kwuru okwu,
site n'otu ebe n'ala nke ọchịchịrị.
Agwaghị m mkpụrụ Jekọb
'Chọọnụ m n'efu.'
Mụ onwe m, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu eziokwu,
Ana m ekwupụta ihe ziri ezi.

20 "Chịkọtaanụ onwe unu, gbakọtanụ,
bịanụ nso, unu ndị si na mba niile gbapụta ọsọ ndụ.
Ha amaghị ihe bụ ndị a na-ebugharị chi osisi e ji aka mee,
ndị na-ekpekwara chi ndị ahụ na-enweghị ike ịzọpụta ekpere.
21 Kwupụtanụ ihe kwesiri ịdị, gosinụ ya,
ka ha gbaakọkwa izu.
Onye buru ụzọ kwuo ihe ndị a n'oge gara aga,
onye kwupụtara ya site na mgbe ochie?

Ọ bụghị mụ onwe m, bụ ONYENWE ANYỊ?
Ọ dịkwaghị Chineke ọzọ dị ma ọ bụghị mụ onwe m,
Chineke onye ezi omume na Onye nzọpụta;
ọ dịghị onye ọzọ dị ma ewezuga m.

22 “Laghachikwutenụ m, ka m zọpụta unu.
Laghachikwutenụ m, unu ndị bi na nsọtụ niile nke ụwa.
N’ihi na ọ bụ naanị m bụ Chineke, ọ dịkwaghị chi ọzọ dị.
23 Ejirila m onwe m ṅụọ iyi,
ọnụ m ekwupụla okwu n’ezi omume,
bụ okwu nke na-enweghị mgbanwe:
N’ihu m ka ikpere niile ọbụla ga-egbu n’ala;
mụ ka ire niile ọbụla ga-aṅụrụ iyi.
24 E, ha ga-ekwupụta sị, ‘Ọ bụ n’ime ONYENWE ANYỊ naanị
ka ezi omume na ike dị.’ ”
Ndị niile na-akpọ ya asị ga-abịakwute ya.
Ihere ga-emekwa ha.
25 Ma agbụrụ niile nke Izrel
ga-achọta nnapụta ha n’ime ONYENWE ANYỊ,‡
ọ bụkwa na ya ka ha ga-anya isi.

# 46

*Chi dị iche iche nke ndị Babilọn*

1 Bel na Nebo, arụsị ndị Babilọn makpu amakpu.
Lee, arụsị niile ha ka ebukwasịrị ha n’azụ ịnyịnya ibu.
Arụsị niile apịrị apị bụ nke a na-ebugharị bụ ibu dị arọ,
ibu arụ nye ụmụ anụmanụ na-ada mba!
2 Ha makpuuru, rudakọkwa ala n’otu;
ha enweghị ike iwezuga ibu ndị a n’onwe ha,
ha onwe ha kwa, a dọtala ha n’agha.

3 “Geenụ m ntị, unu ụmụ ụmụ Jekọb,
unu ndị fọdụrụ n’ụlọ Izrel,
unu bụ ndị m na-elekọta siterị na mgbe a mụrụ unu
na-akpọgharịkwa unu siterị na mgbe amụpụtara unu.
4 Mụ onwe m, bụ onye ahụ, ọ bụ m ga-elekọtakwa unu anya,
ọ bụladị ruo mgbe isi awọ jupụtara unu n’isi, n’agadi unu.
N’ihi na ọ bụ m kere unu, aga m elekọtakwa unu.
Aga m agba unu ume, bụrụkwa onye nzọpụta unu.

5 “Onye ka unu ga-asị na o yiri m? Onye kwa ka mụ na ya ha?
Onye ka unu ga-eji tụnyere m?
6 Ụfọdụ mmadụ na-emeghe akpa ego ha wụpụta ọlaedo dị n’ime ya,
na-atụpụtakwa ọlaọcha n’ihe ọtụtụ,
were ya goo onye ọkpụ ụzụ ọlaedo ka o jiri ya kpụọrọ ha chi,
emesịa, ha na-akpọ isiala na-efe arụsị ahụ ofufe.
7 Ha na-ebuli arụsị ahụ buru ya n’ubu ha,
buru ya debe ya n’ọnọdụ ya, n’ebe ahụ ka ọ na-akwụrụ.
Ọ dịghị apụ site n’ebe ahụ jegharịa.

‡ **45:25** 45:25 N’Onyenwe anyị ka a ga-agụ agbụrụ niile nke Izrel ka ndị ezi omume.

Ọ bụrụ na mmadụ e tikuo ya mkpu, ọ gaghị aza,
ọ pụghị ịzọpụtakwa ha pụọ na nsogbu ha niile.

8 “Chetanụ nke a, ma tuleekwa ya,
ka ọ dịgidekwa unu n’obi, unu ndị na-enupu isi.
9 Chetakwanụ ihe ndị ahụ niile mere n’oge gara aga,
n’ihi na abụ m Chineke, chi ọzọ adịghịkwa.
Naanị m bụ Chineke, ọ dịkwaghị onye ọzọ dị ka m.
10 Ọ bụ m na-egosi ikpeazụ site na mmalite,
ọ bụ m na-ekwu site na mgbe ochie ihe ga-eme n’ọdịnihu.
Ana m asị, ‘nzube m ga-eguzogide.
Ọ bụkwa ihe dị m mma n’obi ka m ga-eme.’
11 Aga m esite n’ọwụwa anyanwụ kpọọ anụ ufe,
e, sitekwa n’ala ebe dị anya kpọọ nwoke* ahụ ga-abịa mee nzube m.
N’ihi na ihe m kwuru ya ka m ga-eme ka o mezuo;
ọ bụkwa atụmatụ m ka m ga-emekwa.
12 Geenụ m ntị, unu ndị isi ike,
unu ndị nọpụrụ ezi omume m n’ebe dị anya.
13 Ana m eweta ezi omume nso,
ọ dịghị n’ebe dị anya,
nzọpụta m agaghị anọkwa ọdụ.
Aga m enye Zayọn nzọpụta,
nyekwa Izrel ịma mma m.

# 47

*Ọdịda Babilọn*

1 “Rịda n’ala, nọdụ na uzuzu,
gị nwaagbọghọ na-amaghị nwoke, bụ ada Babilọn,
nọdụ n’ala na-ejighị ocheeze,
gị eze nwanyị obodo ndị Babilọn.
Agaghị akpọkwa gị
onye dị nro, maọbụ onye dị pekepeke.
2 Were nkume igwe nri gwee ọka,
wepụ akwa ahụ i ji kpuchie ihu gị.
Chilite uwe mwụda gị, kpughepụ ogwe ụkwụ gị,
mgbe ị na-agabiga iyi dị iche iche.
3 A ga-ekpughe ọtọ gị,
tinyekwa gị n’ọnọdụ ihere.
N’ihi na aga m abọtara ndị m ọbọ,
agaghị m elekwa anya n’azụ.”

4 Otu a ka Onye mgbapụta anyị kwuru, Onye ga-azọpụta Izrel. Aha ya bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
Onye nsọ Izrel.

5 “Nọdụ duu, baa n’ime ọchịchịrị,
gị eze obodo nke ndị Kaldịa;
Ọ dịkwaghị mgbe ọzọ a ga-akpọ gị
nwanyị nwe alaeze dị iche iche.

* **46:11** 46:11 Sairọs, ka a na-ekwu ihe banyere ya n’ebe a.

[6] Ewesoro m ndị m iwe,
mee ndị ahụ bụ ihe nketa m ka ha ghọọ ihe na-adịghị nsọ.
Eweere m ha tinye gị n’aka,
ma i gosighị ha obi ebere.
Ọ bụladị ndị bụ agadi n’etiti ha
ka ị bokwasịrị ibu arọ.
[7] I kwuru sị,
‘Abụ m eze nwanyị ruo mgbe ebighị ebi!’
Ma i cheghị echiche banyere ihe ndị a,
ị tụgharịghị uche banyere ihe pụrụ ime.

[8] “Ugbu a gee ntị, gị onye na-eme dịka o si tọọ gị ụtọ.
Gee ntị, gị onye na-anọ n’udo,
na-asị onwe gị,
‘Ọ bụ naanị m dị, o nweghị onye ọzọ ka m n’ụwa.
O nweghị mgbe m ga-adị ka nwanyị di ya nwụrụ,
maọbụ dịka nwanyị ụmụ ya nwụrụ.’
[9] Ma lee anya!
Ihe abụọ ndị a na-aga ịbịakwasị gị
na mberede.
N’otu ụbọchị di gị ga-anwụ, ụmụ gị ga-anwụchakwa.
Mgbaasị gị niile, na ịdị ike nke ọgwụ okike gị niile,
agaghị egbochi ihe ndị a ịbịakwasị gị n’uju.
[10] N’ihi na i werela obi gị tụkwasị n’ajọ omume gị
ị na-asị, ‘O nweghị onye na-ahụ m.’
Ma amamihe gị na ihe ọmụma gị na-eduhie gị,
mgbe ị na-asị onwe gị,
‘Ọ bụ naanị mụ onwe m, ọ dịghịkwa onye ọzọ ma ewezuga m.’
[11] Ihe ọjọọ ga-abịakwasị gị,
ị gaghị ama otu ị ga-esi gbaa afa iwezuga ya.
Oke mbibi ga-adakwasị gị
nke ị na-agaghị enwe ike iji ego gbara onwe gị;
Ịla n’iyi nke ị na-atụghị anya ya
ga-abịakwasị gị na mberede.

[12] “Dokọtazie ọgwụ okike gị niile,
na ihe mgbaasị gị niile.
Ihe ndị ahụ niile i jirila na-eche onwe gị siterị na mgbe ị bụ nwantakịrị.
Ma eleghị anya ha pụrụ inyere gị aka n’oge dị n’ihu.
Ị pụrụ iji ha menye ndị iro gị ụjọ, maọbụ mee ka ha maa jijiji.
[13] Ndụmọdụ niile a na-enye gị adịghị enyere gị aka.
Mee ka ndị ahụ ihe banyere ngagharị ọnwa na kpakpando doro anya bịa nso.
Kpọpụta ndị ahụ na-esite n’ihe ha hụrụ na kpakpando akọwa ihe ga-eme site n’otu
ọnwa ruo n’ọnwa nke ọzọ.
Kpọkuo ha ka ha zọpụta gị site na nsogbu nke na-aga ịbịakwasị gị.
[14] Lee, ha bụ ihe efu dịka ahịhịa kpọrọ nkụ.
Ọkụ ga-erechapụkwa ha.
Ha apụghịkwa ịzọpụta onwe ha
site n’ọkụ ahụ na-enwusi ike.
N’ihi na ọkụ ahụ adịghị ka ọkụ a na-akwanye,
nke a na-anya n’oge oyi.

15 Lee ihe ndị a na-enyocha kpakpando ga-emere gị,
bụ ndị ị na-aṅa ntị na ndụmọdụ ha
site na mgbe ị bụ nwantakịrị.
Ha ga-ahapụ gị gaa n’ụzọ nke aka ha;
ị gaghị enwekwa onye ga-azọpụta gị.

# 48

*Izrel Onye isiike*

1 “Geenụ ntị na nke a, unu agbụrụ Jekọb,
unu ndị a na-akpọ n’aha Izrel,
ndị si n’agbụrụ Juda pụta.
Unu ndị na-eji aha ONYENWE ANYỊ na-aṅụ iyi,
ndị na-akpọku aha Chineke nke Izrel,
ma ọ bụghị n’eziokwu maọbụ n’ezi omume.
2 Unu ndị na-akpa nganga na unu bụ ndị bi n’obodo dị nsọ,
ndị na-anyakwa isi na unu na-adabere na Chineke Izrel.
Onye aha ya bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile.
3 N’oge gara aga ka m kwuru ihe na-aga ime n’oge dị n’ihu.
Mgbe m kwupụrụ ya,
emekwara m ka ihe ahụ m kwuru mezuo.
4 N’ihi na amaara m na unu bụ ndị isiike,
matakwa na akwara dị unu n’olu bụ igwe a na-apụghị ịrọji arọji.
Amakwaara m na egedege ihu unu bụ bronz.
5 Ọ bụ ya mere m ji buru ụzọ gwa unu n’oge gara aga
ihe m gaje ime,
ka unu ghara ị sị,
‘Ọ bụ arụsị anyị mere ya.
Ọ bụ arụsị anyị a pịrị apị na chi ọla m nyere iwu ka ha mee!’
6 Unu anụla ama m na-agba, hụkwa ka ha na-emezu,
ma unu ajụla ikwere na ọ bụ eziokwu.

“Site ugbu a gawa, aga m agwa unu ihe ọhụrụ
nke m na-agwabeghị unu na mbụ.
7 Ọ bụ ugbu a ka e kere ya, ọ bụghị na mgbe ochie.
Unu anụtụbeghị ihe banyere ya mbụ,
ya mere, unu agaghị asị,
‘Ọ bụ ihe maara ihe banyere ya.’
8 E, ị nụbeghị, ị maghịkwa,
site na mgbe ochie ntị gị egheghị oghe.
N’ihi na amaara m na ị bụ onye aghụghọ na-ekwesighị ntụkwasị obi,
onye a na-akpọ onye nnupu isi site n’afọ nne ya.
9 Ma n’ihi aha m, ka m na-eme ka ọnụma m jụrụ
n’ihi otuto m, a na m egbochi ya n’ebe ị nọ,
ka a ghara ikpochapụ unu kpamkpam.
10 Lee, anụchaalam unu, ma ọ bụghị dịka e si anụcha ọlaọcha n’ọkụ.
E, anwaleela m unu n’oke ọkụ nke ahụhụ.
11 N’ihi mụ onwe m, e, n’ihi mụ onwe m, ka m na-eme nke a.
Aga m esi aṅaa hapụ ka m bụrụ onye emere ka aha m ghara ịdị nsọ?
Agaghị m enye onye ọzọ otuto m.

*Izrel enwere onwe ya*

12 “Geenụ m ntị, gị Jekọb,
na gị Izrel onye m kpọrọ.
Mụ onwe m bụ onye ahụ;
Abụ m onye mbụ, bụrụkwa onye ikpeazụ.
13 Ọ bụ aka m tọrọ ntọala ụwa.
Ọ bụkwa aka nri m gbasara eluigwe.
Mgbe m kpọrọ ha oku
ha na-abịa guzo n’ihu m.

14 “Chịkọtaanụ onwe unu, unu niile, geenụ ntị.
Onye n’etiti arụsị ndị a gosiri ihe ndị a na-aga ime?
Onye ahụ ONYENWE ANYỊ họọrọ ka ya na ya dị na mma
ga-emezu nzube ya megide Babilọn,
aka ya ga-emegide ndị Kaldịa.
15 Mụ onwe m, ọ bụladị mụ onwe m ekwuola ya;
e, akpọọla m ya.
Aga m eme ka ọbịa
n’ije ya, ọ ga-agakwa nke ọma.
16 “Bịakwutenụ m nso, geenụ ntị na nke a:
“Site na mkpọsa mbụ ọ bụghị na nzuzo ka m kwuru okwu;
mgbe o mere anọ m n’ebe ahụ.”

Ma ugbu a, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ezitela m,
o mejupụtala m na Mmụọ ya.

17 Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
Onye mgbapụta unu, bụ Onye nsọ Izrel,
“Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke gị,
onye na-ezi unu ihe n’ihi ọdịmma unu,
na-eduzikwa unu n’ụzọ unu kwesiri iso.
18 A sịkwarị na unu ṅara ntị n’iwu m niile,
udo unu gaara na-eru dịka osimiri,
ọdịmma* unu adịkwa ka mmali nke ebili oke osimiri.
19 Mkpụrụ gị gaara amụba dịka aja,
ụmụ unu gaara a dị ka mkpụrụ ọkụkụ a na-enweghị ike ịgụta ọnụ,
a gaghị ehichapụkwa aha ha,
maọbụ bibie n’ihu ha.”

20 Sitenụ na Babilọn pụọ,
gbanarịnụ ndị Kaldịa!
Werenụ olu iti mkpu ọṅụ
kwusaa inwere onwe unu a.
Meenụ ka ndị bi na nsọtụ niile nke ụwa nụrụ ya
sịnụ, “ONYENWE ANYỊ agbapụtala ohu ya Jekọb.”
21 Mgbe O duuru ndị ya jee ije n’ọzara, ala kpọrọ nkụ, akpịrị akpọghị ha nkụ.
O mere ka mmiri si n’oke nkume sọpụtara ha,
e, ọ kpọwara oke nkume
mee ka mmiri sọpụta.

22 ONYENWE ANYỊ sịrị, “Ọ dịghị udo dịrị ndị na-emebi iwu.”

* **48:18** 48:18 Maọbụ, ezi omume

# 49

*Ohu nke ONYENWE ANYỊ*

1 Geenụ m ntị, unu niile ndị bi n'ala mmiri gbara gburugburu,
nụrụkwanụ nke a, unu ndị nọ na mba dị anya.
ONYENWE ANYỊ kpọrọ m tupu amụọ m.
Ọ kpọrọ m aha m mgbe m ka nọ n'ime afọ nne m.
2 O mere ka okwu sị m n'ọnụ dịrị nkọ dịka mma agha.
O zobere m n'aka ya kpuchie m.
O mere m ka m dịrị ka àkụ dị nkọ
nke o zoro n'ime akpa àkụ ya.
3 Ọ sịrị m, "Ị bụ ohu m, Izrel.
Ọ bụkwa site na gị ka m ga-eji gosi ịma mma* na ike m."
4 Ma mụ onwe m sịrị, "Ọ bụ n'efu ka m dọgburu onwe m n'ọrụ.
Etufuola m ike m niile n'ihi ihe na-abụghị ihe.
Ma ihe ruru m dị n'aka ONYENWE ANYỊ,
ụgwọ ọrụ m dịkwa n'aka Chineke m."

5 Ma ugbu a ONYENWE ANYỊ na-asị,
Onye ahụ kpụrụ m n'afọ nne m ka m bụrụ onye na-ejere ya ozi;
ka ọ kpọghachite Jekọb nye ya
ka achịkọtakwa ndị Izrel nyekwa ya onwe ya,
n'ihi na-abụ m onye nsọpụrụ dịrị n'anya ONYENWE ANYỊ,
Chineke m aghọkwaarala m ike m.
6 Ọ sịrị,
"Ọ bụ ihe dị nta karịa, gị ị bụrụ m ohu,
ịkpọghachita ebo niile nke Jekọb
na ịkpọghachita ndị Izrel ndị m chebere.
Aga m emekwa ka ị bụrụ ìhè nye ndị mba ọzọ,
ka nzọpụta m site n'aka gị ruo ndị bi na nsọtụ ụwa niile."

7 Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru,
Onye mgbapụta na Onye nsọ Izrel
na-agwa onye ahụ a na-eleli anya, onye ahụ mba kpọrọ ihe arụ,
e, onye ahụ ndị na-achị achị mere ka ọ ghọọ ohu ha,
"Ndị eze ga-eguzo ọtọ mgbe ị na-agafe.
Ndịisi na-achị achị ga-akpọ isiala nye gị,
n'ihi na ONYENWE ANYỊ, Onye kwesiri ntụkwasị obi,
Onye nsọ Izrel, ahọpụtala gị."

*Nlọghachi nke Izrel*

8 Otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu:
"N'oge amara m, aga m aza unu,
n'ụbọchị nzọpụta aga m enyere unu aka.
Aga m echebe unu, mee ka unu
bụrụ ọgbụgba ndụ nye ndị mmadụ,
iweghachite ala ahụ
na ikegharịkwa ihe nketa ya nke tọgbọrọ n'efu;
9 na-asị ndị mkpọrọ,† 'Pụtanụ,'
na-asịkwa ndị nọ n'ọchịchịrị, 'Pụtanụ n'ihe.'

* **49:3** 49:3 Maọbụ, ịdị ukwuu † **49:9** 49:9 Maọbụ, ndị a dọtara n'agha

“Ha ga-adịkwa ka atụrụ m, nọọ n’akụkụ ụzọ,
ndị na-ata ahịhịa n’ebe ịta nri nke ahịhịa ndụ, n’akụkụ ugwu nta niile.
10 Agụ agaghị agụ ha, akpịrị agaghị akpọkwa ha nkụ.
Oke anwụ otiti nke ọzara agaghị acha ha ọzọ.
N’ihi na Onyenwe anyị ga-esite n’obi ebere ya duo ha
n’akụkụ isi iyi jupụtara na mmiri.
11 Aga m emekwa ka ugwu ukwu niile ghọọ okporoụzọ,
meekwa ka okporoụzọ niile guzozie.
12 Lee, ndị m ga-alọghachi, ha ga-esitekwa n’ebe dị anya,
ụfọdụ ga-esite n’ugwu, ụfọdụ n’ọdịda anyanwụ,
ndị ọzọ ga-esite na mpaghara Aswan.‡”

13 Tienụ mkpu ọṅụ, eluigwe niile;
ka ụwa ṅụrịa ọṅụ.
Ugwu ukwu niile, bụọnụ abụ,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ akasịela ndị ya obi.
Ọ ga-enwekwa obi ebere n’ihi iru ụjụ ha.

14 Ma Zayọn sịrị, “ONYENWE ANYỊ agbakụtala m azụ;
Onyenwe m echefuola m.”

15 “Nwanyị ọ pụrụ ichezọ nwa ya na-aṅụ ara,
hapụ inwe obi ebere n’ahụ nwa si n’afọ ya?
Eleghị anya ọ pụrụ ichezọ,
ma agaghị m echezọ unu.
16 Lee, edeela m aha gị n’ọbụaka m,
n’ihu m kwa ka m debere foto mgbidi gị nke ga-adịgide.
17 Ụmụ gị emeela ngwangwa lọghachite,
ndị ahụ mere ka ị tọgbọrọ n’efu ga-esi n’ime gị pụọ.
18 Welie anya gị abụọ lee gburugburu, legharịa anya,
ụmụ gị niile na-ezukọta na-alọghachikwute gị.
Dịka m na-adị ndụ,” ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
“Ị ga-eyi ha niile dịka ọla ịchọ mma,
ị ga-ekekwa ha dịka nwanyị a na-alụ ọhụrụ si eme.

19 “Ọ bụ ezie na e bibiri gị, mee ka ị tọgbọrọ n’efu,
ala gị abụrụ nkpọnkpọ ebe,
ma ugbu a, ị gaghị ezuru ndị gị,
otu a kwa, ndị ahụ ripịara gị ga-anọ gị n’ebe dị anya.
20 Ụmụ niile a mụrụ n’oge ọnwụ gbabara gị aka,§
ga-asịkwa na ntị gị,
‘Ebe a dịrị anyị oke ntakịrị,
nye anyị ebe sara mbara karịa nke anyị ga-ebi n’ime ya.’
21 Mgbe ahụ, ị ga-eche n’ime onwe gị sị,
‘Onye mụtaara m ọtụtụ ụmụ ndị a niile?
A dịrị m ka nwanyị na-amụghị nwa maọbụ onye ụmụ ya nwụchara.
Onye ajụrụ ajụ na nke e mere ka ọ gaa biri n’ala ọzọ.

‡ **49:12** 49:12 N’ime akwụkwọ ndị mgbe ochie, aha ị ga-ahụ bụ Sinim. § **49:20** 49:20 Ndị a nọ na mba ọzọ mụọ ga-alọta

Mụ onwe m fọdụrụ, naanị m.
Onye kwa mụụrụ m ụmụ ndị a?
Onye zụlitere ha?' "
22 Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Lee, aga m akpọku ndị mba ọzọ,
weliere ha ọkọlọtọ m,
ha ga-ekulatara gị ụmụ gị ndị ikom n'aka ha.
Ụmụ ndị inyom ka ha ga-ekukwasị n'ubu ha kulatakwa ha.
23 Ndị eze ga-abụkwa ndị nna na-azụ ụmụ gị,
ndị eze nwanyị ha ga-abụkwa ndị inyom na-enye ụmụ gị ara.
Ha ga-akpọ isiala nye gị,
rachakwaa aja dị n'ụkwụ gị abụọ.
Mgbe ahụ, ị ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ,
matakwa na ihere agaghị eme ndị niile na-ele anya inyeaka m."

24 A ga-anara dike n'agha ihe ọ lụtara n'agha,
maọbụ zọpụta ndị a dọọrọ n'agha site n'aka onye afọ tara mmiri*?
25 Ma otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
"N'ezie, a ga-esi n'aka ndị bụ dike n'agha pụnara ha ndị ha dọtara n'agha.
A ga-esitekwa n'aka onye na-akpa ike napụta ya ihe ọ dọtara n'agha.
N'ihi na aga m ebuso ha agha bụ ndị niile na-ebuso gị agha.
Aga m anapụtakwa ụmụ gị.
26 Aga m eme ka ndị na-akpagbu gị rie anụ ahụ onwe ha;
ha ga-aṅụ ọbara onwe ha ṅụbiga ya oke, dịka mmanya.
Mgbe ahụ, ihe niile bụ mmadụ n'ụwa ga-amata,
na mụ onwe m ONYENWE ANYỊ, bụ Onye na-azọpụta gị,
Onye mgbapụta gị, na Onye dị ike nke Jekọb."

# 50

*Mmehie Izrel na nrube isi nke ohu ahụ*

1 Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
"Olee ebe akwụkwọ m ji gbaa nne unu alụkwaghị m dị
bụ nke m ji chụpụ ya?
Ma ọ bụ onye n'ime ndị m ji ụgwọ
ka m resiri unu?
Ọ bụ n'ihi mmehie unu ka e ji ree unu;
n'ihi mmebi iwu unu ka e jiri chụọ nne unu.
2 Gịnị mere o ji bụrụ na o nweghị onye nọ ya mgbe m bịara?
Gịnị mere o nweghị onye zara m mgbe m kpọrọ oku?
Ọ pụtara na aka m dị mkpụmkpụ ịzọpụta unu?
Ọ ga-abụ na m enwekwaghị ike ịzọpụta?
N'ihi na enwere m ike ịbara osimiri mba mee ya ka ọ ghọọ ala akọrọ.
Enwere m ike ime ka osimiri ghọrọ ọzara,
ka azụ niile dị n'ime ya nwụọ
n'ihi enweghị mmiri.
3 Ọ bụ mụ bụ onye ahụ na-eme ka ọchịchịrị kpuchie ihu eluigwe,
ka ihu eluigwe dịrị ka ihu onye na-eru ụjụ."

4 Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ enyela m amamihe ya

* 49:24 49:24 Ndị onye ezi omume dọtara n'agha, a ga-eme ka ha wezuga onwe ha.

ka m nwee ike ịmata ihe m ga-agwa ndị a ike gwụrụ.
Ụtụtụ niile ka ọ na-akpọte mmụọ m,
meghee akpa uche m, ime ka m ghọta uche ya.
5 Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ emeghela ntị m abụọ,
ma enupughị m isi,
a tụgharịkwaghị m azụ.
6 Azụ m ka m megheere ndị tiri m ihe;
agba nti m abụọ ka m hapụụrụ ndị hopusiri m afụọnụ m.
Ezopụghị m ihu m
n'ebe ndị na-akwa emo, na ndị na-agbụ ọnụ mmiri nọ.
7 Ebe ọ bụ na Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-enyere m aka,
ihere agaghị eme m.
N'ihi ya, ejikerela m onwe m ime uche ya; agaghị m elekwa anya n'azụ,
a maara m na ihere agaghị eme m.
8 N'ihi na onye na-agụ m n'onye ezi omume nọ nso.
Onye ga-apụta ibo m ebubo?
Ya pụta ka anyị guzo ihu na ihu!
Onye nwere ebubo megide m?
Ya bịa ka anyị kwuo ya.
9 Lee, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ bụ onye na-enyere m aka.
Onye pụrụ ịma m ikpe?
Lee, ha niile ga-aka nka dịrị ka uwe,
nla ga-erichapụkwa ha.

10 Onye n'etiti unu bụ onye ahụ na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ,
na-egekwa ntị n'okwu odibo ya?
Ka onye ahụ na-eje ije n'ọchịchịrị,
nke na-enweghị ìhè ọbụla,
tụkwasị obi n'aha ONYENWE ANYỊ
daberekwa na Chineke ha.
11 Ma lee, unu niile ndị na-amụnye ọkụ,
ndị meere onwe ha ọwaọkụ,
nke unu ji na-ejeghari n'ọchịchịrị,
gaanụ n'ihu na-ejegharị n'ìhè ọkụ ahụ unu mụnyeere onwe unu.
Ihe unu ga-anata site n'aka Onyenwe anyị
bụ ihe mwute nke ga-abịakwasị unu.

# 51

*Nzọpụta ebighị ebi dịrị Zayọn*

1 Geenụ m ntị, unu ndị niile na-agbaso ezi omume,
ndị na-achọ ONYENWE ANYỊ!
Legidenụ oke nkume ahụ e sitere na ya wapụta unu anya.
E, legidenụ ọgba nkume ahụ e si n'ime ya gwupụta unu anya!
2 Legidenụ Ebraham bụ nna unu
na Sera anya, bụ ndị mụrụ unu.
Ebraham nọ naanị ya mgbe m kpọrọ ya,
ma a gọziri m ya, mee ka ọ ghọọ oke mba.
3 ONYENWE ANYỊ aghaghị ịkasị Zayọn obi,
werekwa obi ebere leta ebe ya niile e tikpọrọ etikpọ,
ọ ga-eme ala ọzara ya niile ka ọ dịka Iden,

ala ya nke niile ihe na-adịghị ga-adịkwa ka ubi a gbara ogige nke ONYENWE ANYỊ.
Ọṅụ na obi ụtọ ga-ejupụta n’ime ya,
inye ekele na ụda abụ ụtọ dị iche iche ga-adịkwa.

4 Ndị m, geenụ m ntị;
ṅaa ntị, gị Izrel mba nkem,
n’ihi na iwu m ga-esi n’ọnụ m pụọ;
ikpe ikpe ziri ezi m ga-aghọkwara mba niile ìhè.
5 Ezi omume m na-abịaru unu nso ọsịịsọ,
nzọpụta m na-adịkwa nso.
Aga m achịkwa mba niile.
Mba dị anya ga na-ele anya ọbịbịa m;
ha ga na-ele anya nzọpụta nke m ga-azọpụta ha.
6 Welienụ anya unu lee anya n’elu,
leekwanụ anya n’ụwa,
n’ihi na mbara eluigwe ga-agba barịị fuo, dịka anwụrụ ọkụ;
ụwa ga-aka nka dịka akwa,
ndị bi n’ime ya ga-anwụkwa dịka ijiji.
Ma nzọpụta m ga-adịgide ruo mgbe ebighị ebi,
ezi omume m ga-adịgidekwa, ọ gaghị agwụ agwụ.

7 Geenụ m ntị, unu niile ndị maara ihe ọma,
unu ndị na-anabata iwu m n’obi unu.
Unu atụla egwu ihe ndị mmadụ ga-asị unu,
unu atụkwala egwu nkwutọ ha ga-ekwutọ unu.
8 N’ihi na nla ga-eri ha dịka o si eri akwa.
Ikpuru ga-erichapụ ha dịka o si eri ajị anụ.
Ma ezi omume m, na obi ebere, ga-adị ruo mgbe ebighị ebi.
Nzọpụta m ga-adịkwa site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ.

9 Teta, teta, yikwasị onwe gị ike,
gị aka ONYENWE ANYỊ,
bilie, dịka ụbọchị ndị gara aga,
dịka ọgbọ nke mgbe ochie.
Ọ bụghị gị gbubisịrị Rehab
ma dụgbukwaa anụ ọjọọ ahụ?
10 Ọ bụghị gị mere ka osimiri taa?
Mmiri ahụ dị omimi.
Ọ bụghị gị mekwara ka okporoụzọ dịrị n’etiti ya,
ebe ndị ahụ ị gbapụtara si gafee?
11 Ndị ahụ ONYENWE ANYỊ gbapụtara ga-alọtakwa.
Ha ga-eji abụ bata na Zayọn;
ọṅụ na-adịgide ga-adịkwasị n’isi ha,
oke ọṅụ na obi ụtọ ga-ejupụta n’obi ha,
iru ụjụ na ịsụ ude ga-efelaga.

12 “Mụ, ọ bụladị mụ onwe m, bụ Onye ahụ na-akasị unu obi.
Onye ka ị bụ, na ị na-atụ egwu nwa mmadụ nke ga-anwụ anwụ,
ị na-atụ egwu nwa mmadụ nke bụ naanị ahịhịa,
13 na ị na-echefu ONYENWE ANYỊ bụ onye kere unu,
onye na-esetipụ eluigwe,

onye tọkwara ntọala niile nke ụwa;
na-ebi ndụ ịtụ oke egwu ụbọchị niile
n’ihi oke iwe nke onye mkpagbu ahụ,
onye nke kpebiri ibibi unu?
Ma olee ebe oke iwe nke onye mkpagbu ahụ dị?
14 N’oge na-adịghị anya, a ga-agbapụta ndị mkpọrọ egwu mere ka ha rudata ala.
Ha agaghị anwụ n’ime olulu,
nri agakwaghị akọ ha.
15 N’ihi na abụ m ONYENWE ANYỊ Chineke unu,
onye na-akpali oke osimiri mee ka ebili mmiri ya bigbọọ,
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile bụ aha ya.
16 Etinyela m okwu m n’ọnụ gị,
chebekwa gị n’ọbụaka m.
Ọ bụ m tinyere eluigwe n’ọnọdụ ya,
dokwaa ntọala nke ụwa.
Ọ bụkwa m na-asị Zayọn, ‘Ndị m ka unu bụ.’ ”

*Iko ọnụma Onyenwe anyị*

17 Teta, teta,
bilie gị Jerusalem,
gị onye ṅụrụ site n’aka ONYENWE ANYỊ,
bụ iko nke oke iwe ya.
Gị onye ṅụrụ ihe niile dị n’ime iko ahụ
nke na-eme ka ụmụ mmadụ dagbugharịa.
18 Ọ dịghị otu nwa ya nke fọdụrụ,
nke ga-agwa ya ihe ọ ga-eme,
maọbụ nke ga-edu ya n’ụzọ
o kwesiri ịgbaso.
19 Ihe abụọ ndị a adakwasịla gị.
Onye ga-akasị gị obi?
Mbibi na ịla n’iyi, ụnwụ na mma agha,
onye ga-akasị gị obi?
20 N’ihi na ụmụ gị ndị ikom adaala mba.
Ha na-atọgbọkwa n’akụkụ okporoụzọ niile,
dịka mgbada ọnya mara.
Ha bụ ndị jupụtara n’ọnụma ONYENWE ANYỊ
na ịba mba nke Chineke gị.

21 Ya mere, nụrụ nke a, unu ndị a na-akpagbu,
ndị ihe na-egbu ma ọ bụghị mmanya.
22 Lee ihe ONYENWE ANYỊ kwuru,
bụ Chineke unu, onye ihe banyere ndị ya na-emetụ n’obi.
“Lee, aga m esite n’aka gị
wezuga iko ahụ mere ka ị dagbugharịa,
ị gaghị aṅụkwa
site n’iko ọnụma ahụ ọzọ.
23 Ma m ga-etinye ya n’aka ndị ahụ na-akpagbu gị,
bụ ndị sịrị gị,
‘makpuru n’ala ka anyị gaa ije n’elu ahụ gị.’
I mere azụ gị ka ọ dị ka ala, dịka okporoụzọ
ebe ndị mmadụ si aga ije.”

# 52

1 Teta, teta gị Zayọn,
yikwasị onwe gị ike dịka uwe!
Yikwasị onwe gị uwe mara mma,
gị Jerusalem, obodo dị nsọ.
Ndị a na-ebighị ugwu na ndị rụrụ arụ
agaghị abata n'ime gị ọzọ.
2 Kụchapụ aja dị n'ahụ gị,
bilie ọtọ, gị Jerusalem, nọdụ ala n'ocheeze gị.
Tọpụ onwe gị site n'agbụ igwe e kere gị n'olu,
gị ada Zayọn, a dọtara n'agha.
3 N'ihi na otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
"N'efu ka erere unu, anaghị ndị zụrụ unu ego ọbụla,
ọ bụghịkwa ego ka a ga-eji gbapụta unu."
4 N'ihi na otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Na mbụ, ọ bụ n'ala Ijipt ka ndị m gara biri,
ugbu a, ọ bụ ndị Asịrịa na-akpagbu ha.
5 "Ma ugbu a, gịnị ka m nwere n'ebe a?" bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
"Ebe ọ bụ na e durula ndị m pụọ n'efu,
ndị na-achị ha na-akwakwa ha emo na-achị ha ọchị nlelị,"
ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
"Ha na-ekwulukwa aha m
ogologo ụbọchị niile.
6 N'ihi ya, ndị m ga-ama aha m;
n'ihi nke a, ha ga-amarakwa n'ụbọchị ahụ
na ọ bụ Mụ onwe m kwuru na ọ ga-eme.
E, ọ bụ mụ onwe m."

7 Lee ka ha si maa mma n'elu ugwu
bụ ụkwụ ndị na-eweta* oziọma,
onye na-ekwusa okwu udo,
e, onye na-eweta akụkọ ọma,
onye na-agbasa akụkọ banyere nzọpụta,
onye na-asị Zayọn,
"Lee, Chineke gị bụ eze!"
8 Geenụ ntị! Nụrụnụ olu ndị nche unu,
ndị na-eweli olu ha elu na-eti mkpu ọṅụ.
N'ihi na mgbe ONYENWE ANYỊ ga-alọghachi Zayọn,
ha ga-ahụ ya anya.
9 Tienụ mkpu ọṅụ
unu mkpọmkpọ ebe niile e tikpọrọ etikpọ na Jerusalem,
n'ihi na ONYENWE ANYỊ akasịela ndị ya obi.
Ọ gbapụtala Jerusalem.
10 ONYENWE ANYỊ ga-eme
ka mba niile hụrụ ike ya dị nsọ;
ebe niile ụwa sọtụrụ ga-ahụkwa
nzọpụta Chineke anyị.

11 Wezuganụ onwe unu, wezuganụ onwe unu, sinụ n'ebe ahụ pụọ.
Unu emetụkwala ihe ọbụla rụrụ arụ aka.

* **52:7** 52:7 Maọbụ, na-ezisa

Sitenụ n’etiti ya pụta, dịrịnụ ọcha,
unu ndị na-ebu ihe dị iche iche nke ụlọ ONYENWE ANYỊ.
12 Ma unu agaghị eji ọkụ ọkụ pụọ,
unu agakwaghị agbapụ ọsọ,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ ga-ebutere unu ụzọ,
ọ bụkwa ya, Chineke Izrel, ga-echebe unu n’azụ.

*Ahụhụ na Ebube nke ohu ahụ*

13 Lee, ohu m ga-enwe uche,
a ga-ebulikwa ya elu, ọ ga-abụkwa onye a na-asọpụrụ.
14 Dịka ibubo si nwụọ ọtụtụ ndị mmadụ n’ahụ;
otu a ka ihu ya bụ ihe e bibiri ebibi nke ukwuu, nke mere na ọ dịkwaghị ka ihu mmadụ ọzọ,
anụ ahụ ya ka ebibikwara n’ụzọ ọ na-agaghị eyikwa anụ ahụ mmadụ.
15 Otu a ka ọ ga-esi fesaa ọtụtụ mba dị iche iche,†
ndị eze ga-emechikwa ọnụ ha n’ihi ya,
ọ bụ ihe a na-agwaghị ha ka ha ga-ahụ,
ihe ha a ka anụbeghị, ka ha ga-aghọtakwa.

# 53

1 Onye kweere ozi anyị,
ọ bụkwa n’ahụ onye ka e kpugheere ogwe aka ONYENWE ANYỊ?
2 N’ihi na o tolitere n’ihu Onyenwe anyị dịka ome,
dịka mgbọrọgwụ nke puputara n’ala kpọrọ nkụ.
O nweghị ụdịdị ọma maọbụ ịma mma nke ga-eme ka anyị lee ya anya.
O nweghị ihe ọbụla dị n’ụdịdị ya nke ga-eme ka ihe banyere ya masị anyị, maọbụ mee ka anyị chọsie ya ike.
3 Ndị mmadụ ledara ya anya, jụkwa ya.
Ọ bụ onye nwere ọtụtụ ihe mgbu, bụrụkwa onye hụrụ ọtụtụ ahụhụ.
Ma anyị gbakụtara ya azụ, jụ ilenye anya n’ebe ọ nọ.
E, anyị ledara ya anya, jụ ịgụ ya dịka ọ bụ ihe ọbụla.

4 N’ezie, ihe mgbu niile anyị ka o buuru,
burukwa ahụhụ nke ọrịa anyị niile,
ma anyị gụrụ ya ka onye Chineke tara ahụhụ,
onye o tiri ihe otiti, na onye o mekpara ahụ.
5 Ma e tipụrụ ya ọnya n’ihi mmehie anyị:
ọ bụkwa n’ihi ajọ omume anyị ka e ji merụchaa ya ahụ.
E mere ka anyị nwee udo n’ihi ahụhụ ọ hụrụ;
ọ bụkwa ubiri ụtarị dị ya n’ahụ mere anyị ji bụrụ ndị ahụ dị ike.
6 Anyị niile akpafuola dịka igwe atụrụ;
onye ọbụla n’ime anyị etinyela isi ya n’ụzọ nke aka ya.
Ma ONYENWE ANYỊ ebokwasịla ya
ajọ omume anyị niile.

7 A kpagburu ya, mesie ya ihe ike,
ma otu mkpụrụ okwu esighị ya n’ọnụ pụta.
E duuru ya pụọ dịka atụrụ a na-aga igbu egbu,
dịka atụrụ a na-akpachapụ ajị ya si anọ nwayọọ n’ihu ndị na-akpacha ya ajị,

† **52:15** 52:15 Maọbụ, otu a ka ọtụtụ mba dị iche iche ga-anọ na mgbagwoju anya.

otu a ka o si nọdụ na-asagheghị ọnụ ya.
8 Site na mmegbu na ikpe ka e ji wepụ ya.
Ma, onye n'etiti ndị ọgbọ* ya weliri olu kwuo okwu?
N'ihi na e bipụrụ ya site n'ala ndị dị ndụ;
maka njehie ndị m ka e ji tie ya ihe.†
9 E nyefere ya ka e lie ya dịka onye na-emebi iwu,
ọ bụkwa n'etiti ndị ọgaranya ka e liri ya,
ọ bụ ezie na o nweghị ihe ọjọọ ọbụla o mere,
ọ dịkwaghị okwu aghụghọ si n'ọnụ ya pụta.

10 Ma ọ bụ ọchịchọ ONYENWE ANYỊ ịzọpịa ya, na ime ka ọ taa ahụhụ.
N'ihi na ọnwụ ya bụ aja a chụrụ n'ihi ikpe ọmụma nke mmehie.
Ọ ga-ahụ ọtụtụ ụmụ na ụmụ ụmụ ya; ọ ga-adịkwa ndụ ogologo oge.
Nzube Chineke niile ga-emezukwa site na ya.
11 Mgbe ọ hụsịrị ahụhụ,
ọ ga-emesịa hụ ìhè nke ndụ, afọ ga-ejukwa ya,
site n'ihe ọmụma ya, ka onye ezi omume ahụ, bụ ohu m ga-eme ka a gụọ ọtụtụ mmadụ dịka ndị ezi omume,
ọ ga-ebukwa mmehie ha niile.
12 N'ihi ya, aga m enye ya oke n'etiti ndị bara ụba,‡
ọ ga-esokwa ndị bụ dike keta ihe nkwata n'agha,
n'ihi na ọ wụpụrụ ndụ ya nye ọnwụ,
a gụkọtara ya na ndị na-emebi iwu.
Ma ya onwe ya buuru mmehie ọtụtụ mmadụ,
rịọọkwara ndị na-emebi iwu arịrịọ.

# 54

*Ebube dị n'ihu nye Zayọn*

1 "Bụọ abụ, gị nwanyị aga,
gị onye na-amụtaghị nwa;
tie mkpu ọṅụ, tiwakwaa olu abụ,
gị onye ime nwa na-emetụbeghị;
n'ihi na ụmụ nwanyị ahụ a hapụrụ naanị ya ga-adị ọtụtụ
karịa ụmụ nke nwanyị nwere di,"
Otu a ka Onyenwe anyị kwuru.
2 "Mee ka ebe ụlọ ikwu gị saa mbara,
gbasapụ akwa mgbochi ụlọ ikwu gị,
egbochila gbasapụ aka;
mee ka ụdọ gị dị ogologo,
meekwa ka o sie ike nke ọma.
3 N'ihi na n'aka nri na n'aka ekpe ka ị ga-agbasa gaa;
ụmụ gị ga-achụpụ mba dị iche iche site n'ala ha,
bichikwaa n'obodo ha niile dakpọsịrị adakpọsị, nke tọgbọrọ n'efu.

4 "Atụla egwu, n'ihi na ihere agaghị emekwa gị ọzọ.
Ị gaghị abụkwa onye e wedara n'ala.
Ị gakwaghị echeta ihere mere gị mgbe ị bụ nwantakịrị,
na ịta ụta dịrị gị n'ihi ọnwụ di gị.

* 53:8 53:8 Ya bụ, kwụpụtara † 53:8 53:8 Ya bụ, taa ya ahụhụ ‡ 53:12 53:12 Maọbụ, ndị dị ike

5 N'ihi na onye kere gị ga-abụrụ gị di.
Aha ya bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile;
Onye nsọ Izrel bụ Onye mgbapụta gị,
Chineke nke ụwa niile ka a na-akpọ ya.
6 N'ihi na ONYENWE ANYỊ ga-akpọghachi gị
dịka a ga-asị na ị bụ nwunye a hapụrụ ahapụ, nke ọ na-ewutakwa n'ime mmụọ ya
bụ nwunye alụtara na nwantakịrị,
naanị ka ọ bụrụ onye ajụrụ ajụ," ka Chineke gị na-ekwu.
7 "Naanị nwa mgbe nta ka m hapụrụ gị.
Ma aga m eji obi ebere ukwuu kpọghachikwa gị
8 Na nwa oge, esitere m n'oke iwe na-ewe m
zonarị gị ihu m,
ma site n'ịhụnanya m nke na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi,
aga m enwe ọmịiko n'ahụ gị."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ, onye mgbapụta gị kwuru.

9 "Dịka m si ṅụọ iyi n'oge Noa sị na m agaghị ekwekwa ka mmiri kpuchie ụwa ọzọ,
bibie ndụ ndị dị n'ime ya,
ana m aṅụkwa iyi ugbu a na mụ agaghị ekwe ka iwe m bịakwasị gị ọzọ.
Agakwaghị m abasiri gị mba ike.
10 N'ihi na a pụrụ iwezuga ugwu ukwu niile,
wezugakwa ugwu nta niile site n'ọnọdụ ha,
ma obi ebere m agaghị esi n'ebe ị nọ pụọ,
agaghị ewezugakwa ọgbụgba ndụ nke udo m,"
ka ONYENWE ANYỊ, onye nwere ọmịiko n'ahụ gị, kwuru.

11 "Gị, onye a na-emekpa ahụ, onye oke ikuku ụwa a na-ebugharị, nke onye ọbụla na-adịghị akasị obi,
lee, aga m e ji nkume tọkwọisi wugharịa gị,
jirikwa nkume ọma safaia dị oke ọnụahịa tọọ ntọala gị niile.
12 Aga m eji nkume rubi wugharịa akụkụ ụlọ gị niile,
jiri nkume na-egbu nweghenweghe wuo ọnụ ụzọ ama gị niile.
Aga m ejikwa nkume dị oke ọnụahịa wuo mgbidi obodo gị.
13 Ụmụ gị niile ga-abụ ndị ONYENWE ANYỊ ga-akụziri ihe.
Udo ha ga-adịkwa ukwu.
14 N'ezi omume ka a ga-eme ka ị guzosie ike.
Mmegbu ga-adịkwa anya site n'ebe ị nọ,
n'ihi ya, ị gaghị atụ egwu ihe ọjọọ ọbụla.
Ọ dịghị ihe egwu ga-abịaru gị nso,
n'ihi na a ga-ewezuga ha site n'ebe ị nọ.
15 Ọ bụrụ na onye ọbụla abịa ịlụso gị ọgụ, ọ siteghị n'aka m;
onye ọbụla nke na-alụso gị ọgụ ga-abụ onye e meriri emeri.

16 "Lee, ọ bụ mụ onwe m kere ọkpụ ụzụ
nke na-eji icheku afụ ọkụ
o ji akpụ ihe agha nke mbibi.
Ọ bụkwa m kere ndị agha ahụ mbibi bụ ọrụ ha.
17 N'ụbọchị ahụ, ọ dịghị ihe agha a kpụrụ megide gị nke ga-adị ire.
Ọzọ, ị ga-emeri ndị niile kpọrọ gị ikpe mmegide.
N'ihi na nke a bụ ihe nketa dịrị ndị ohu ONYENWE ANYỊ.

Mkpepụta* ha na-esite na m."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

# 55

*Bịanụ ndị akpịrị na-akpọ nkụ*

1 Gee ntị, bịa onye ọbụla akpịrị na-akpọ nkụ,
bịanụ na mmiri,
unu ndị na-enweghị ego
bịanụ zụọ, riekwa.
Bịanụ, zuru mmanya na mmiri ara ehi
na-ejighị ego na-arụghị ọnụahịa ọbụla.
2 N'ihi gịnị ka i ji na-atụfu ego gị ịzụ ihe na-abụghị ezi nri?
Gịnị mere i ji na-adọgbu onwe gị n'ọrụ n'ihe na-apụghị iju gị afọ?
Gee ntị, geenụ m ntị nke ọma, rie ezigbo nri
mkpụrụobi gị ga-enwe afọ ojuju na nri dị ezi mma!
3 "Tọọnụ ntị unu n'ala, bịakwute m!
Gee ntị, ka inwe ike dị ndụ.
Mụ na unu ga-aba n'ọgbụgba ndụ ebighị ebi,
bụ ịhụnanya m kwesiri ntụkwasị obi nke m kwere Devid na nkwa.
4 Lee, emere m ya ka ọ ghọọrọ ndị niile dị iche iche onyeama,
ka ọ bụrụ onyendu na onyeisi ọchịchị nye ndị niile dị iche iche.
5 N'ezie, gị onwe gị ga-akpọku mba dị iche iche na i maghị,
mba ndị ahụ na-amaghị gị ga-ejikwa ọsọ gbakwute gị,
n'ihi ONYENWE ANYỊ Chineke gị,
Onye nsọ nke Izrel,
n'ihi na o meela ka ị bụrụ ihe dị oke mma."

6 Chọọnụ ONYENWE ANYỊ mgbe a ga-achọta ya.
Kpọkuonụ ya mgbe ọ nọ nso.
7 Ka onye na-eme ihe ọjọọ hapụ ụzọ ya,
ka onye ajọ omume hapụ echiche ọjọọ ya niile.
Ka ha tụgharịa bịakwute ONYENWE ANYỊ, ọ ga-emere ha ebere,
ha bịakwute Chineke anyị, n'ihi na ọ ga-agbaghara ha mmehie ha niile.

8 "N'ihi na echiche m ha abụghị echiche unu,
ụzọ unu niile, ha abụkwaghị ụzọ m,"
ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
9 "N'ihi na dịka eluigwe si dị elu karịa ụwa,
otu a ka ụzọ m niile si dị elu karịa ụzọ unu niile,
otu a kwa ka echiche m niile si dị elu karịa echiche unu niile.
10 Dịka mmiri na mkpụrụ mmiri
si esi n'eluigwe ada n'ụwa
na-alaghachighị n'eluigwe
ma ọ bụrụ na o meghị ka mmiri dee ala,
mee ka ihe ubi pupụta, too eto,
meekwa ka ọ mịa mkpụrụ nye onye na-akụ ihe ọkụkụ, bụrụkwa ihe oriri nye onye na-eri nri.
11 Otu a ka okwu si m n'ọnụ pụọ si adị.
Ana m ezipu ya, ọ gaghị alọghachikwute m n'efu.

* **54:17** 54:17 Mmeri ha maọbụ, ezi omume

Ọ ga-emezu ihe niile m chọrọ ka o mee,
baakwa ụba ebe ọbụla m zigara ya.
12 N’ihi na unu ga-eji ọṅụ pụọ,
a ga-esikwa n’ebe ahụ dupụta unu n’udo.
Ugwu ukwu niile, na ugwu nta niile
na osisi niile nke ubi,
ga-eti mkpu ọṅụ,
kụọkwa aka n’obi ụtọ.
13 Ebe ogwu na-eto na mbụ, osisi junipa ga-eto na ya;
ebe uke toro, osisi mietul ga-eto na ya.
Ihe ndị a ga-aghọrọ ONYENWE ANYỊ aha dị ukwuu,
nke ga-abụkwa ihe ịrịbama
ga-adị ruo mgbe ebighị ebi.”

# 56

*Nzọpụta dịrị ndị ọzọ*

1 Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ sịrị,
“Debenụ ikpe ziri ezi,
meekwanụ ihe ziri ezi.
N’ihi na nzọpụta m dị nso,
ezi omume m ga-apụta ihe mgbe na-adịghị anya.
2 Ngọzị na-adịrị onye na-eme nke a,
bụ onye ahụ nke na-ejidesi ya aka ike,
onye ahụ nke na-edebe ụbọchị izuike m na-emerụghị ya,
nke na-edebekwa aka ya ka ọ ghara ime ihe ọjọọ.”

3 Ka onye ala ọzọ bụ onye jikọrọ onwe ya na ONYENWE ANYỊ sị,
“ONYENWE ANYỊ aghaghị i site na ndị ya kewapụ m.”
Ka onye onozi ọbụla gharakwa ị sị
“Mụ onwe m bụ naanị osisi kpọnwụrụ akpọnwụ.”
4 N’ihi na otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru:
“Nye ndị onozi ahụ na-edebe ụbọchị izuike m niile,
ndị na-ahọrọ ihe na-atọ m ụtọ,
na ndị na-ejidesikwa ọgbụgba ndụ m ike.
5 Aga m enye ha n’ime ụlọ m na n’etiti mgbidi ya,
ihe ncheta na aha
dị mma karịa ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom.
Aga m enye ha aha ga-adị ruo ebighị ebi
nke a na-agaghị echezọ ruo ebighị ebi.
6 Ma ndị mba ọzọ ndị gbakwuuru ONYENWE ANYỊ
ijere ya ozi,
na ịhụ aha ONYENWE ANYỊ n’anya,
nakwa ị bụ ndị ohu ya,
ndị niile na-edebe ụbọchị izuike nsọ na-emerụghị ya,
na ndị jidesiri ọgbụgba ndụ m ike,
7 ndị a ka m ga-akpọta n’ugwu nsọ m,
meekwa ka ha ṅụrịa ọṅụ n’ime ụlọ ekpere m.
Aga m anabata aja nsure ọkụ ha na onyinye niile ha nyere
n’ebe ịchụ aja m.
N’ihi na a ga-akpọ ụlọ m
Ụlọ Ekpere nye mba niile dị iche iche.”

8 Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
bụ onye ahụ na-eme ka Izrel si n'ebe ha gbapụrụ ọsọ lọta,
"Aga m achịkọtakwa ndị ọzọ tinyere ha
tinyekọtara na ndị ya achịkọtarala."

*Ebubo Chineke megide ndị ajọọ omume*

9 Bịanụ, unu anụmanụ niile nke oke ọhịa.
Bịanụ dọgbuo, unu ụmụ anụmanụ nke oke ọhịa.
10 N'ihi na ndị na-eche ndị m nche kpuru ìsì.
Ha niile bụ ndị amamihe kọrọ.
Ha dị ka nkịta dara ogbi,
nke na-adịghị agbọ ụja.
Ha hụrụ ịrahụ ụra na ịrọ nrọ,
na idina ndina n'anya.
11 Ha bụ nkịta na-eribiga nri oke;
ha adịghị enwe afọ ojuju.
Ha bụ ndị ọzụzụ atụrụ na-enweghị nghọta,
ha niile echela ihu n'ụzọ nke aka ha,
onye ọbụla na-agbalịsị ike ịchọta uru nke ya.
12 Onye ọbụla na-asị, "Bịa ka m weta mmanya,
ka anyị ṅụjuokwa mmanya n'aba n'anya afọ anyị.
Echi ga-adịkwa ka taa,
ma ọ bụkwanụ dị mma karịa."

# 57

1 Ndị ezi omume na-ala n'iyi,
ma ọ dịghị onye ọbụla na-etinye ya n'obi;
a na-ewezuga ndị ji obi ha niile na-efe Chineke,
ma ọ dịghị onye na-aghọta,
na-ewezugara onye ezi omume
pụọ n'ihu ihe ọjọọ.
2 Ndị na-agazi agazi n'ụzọ ha
na-abanye n'udo.
Ha na-enwekwa izuike mgbe ha dinara n'ọnwụ.

3 "Ma unu onwe unu, bịanụ n'ebe a, unu ụmụ ndị mgbaasị,
unu ụmụ ndị na-akwa iko, na ụmụ ndị akwụna.
4 Onye ka unu na-akwa emo?
Onye ka unu na-akọcha,
na-arapụtakwara ire unu?
Unu ọ bụghị ụmụ ndị nnupu isi,
mkpụrụ ndị na-ekwu okwu ụgha?
5 Unu na-emejupụta ihe ọjọọ niile na-agụ obi unu agụụ
mgbe unu zukọrọ na-efe arụsị unu n'okpuru osisi ook ọbụla.
Unu na-ewerekwa ụmụ unu chụọ aja
na ndagwurugwu niile, na n'okpuru nkume niile dị elu.
6 Chi unu na-efe bụ nkume niile na-akwọ mụrụmụrụ,*
nke dị na ndagwurugwu niile, ha bụ ihe nketa nza unu fere.

* **57:6** 57:6 Nkume ndị a na-akwọ mụrụmụrụ bụ ihe ha ji ejere chi ndị ahụ na-abụghị chi ozi.

E, ọ bụ ha ka unu na-awụpụrụ onyinye mmanya unu niile
na onyinye mkpụrụ ọka unu niile.
N’ihi ihe ndị a niile, m ga-esi aṅaa dere duu?
7 Ọ bụ n’elu ugwu dị elu ka unu doziiri onwe unu ihe ndina,
n’ebe ahụ kwa ka unu gara chụọ aja unu.
8 Ọ bụkwa n’azụ ọnụ ụzọ niile, na ibo ụzọ niile,
ka ị kwụbara oyiyi arụsị gị.
Ị gbakụtara m azụ,
yipụ uwe gị rịbanye n’ime ihe ndina gị,
ebe gị na ndị ahụ ị hụrụ n’anya dinakọrọ,
imejupụta ihe ọjọọ ahụ na-agụ obi gị agụụ.
9 Ị were mmanụ jekwuru Molek†
meekwa ka mmanụ otite gị na-esi isi ụtọ baa ụba.
Ị zipụrụ ndị nnọchite anya gị‡ gaa na mba dị anya;
ị gbadara ruo n’ime ime ala mmụọ.
10 Oke mwaghar ị ndị a niile emeela ike gwụsịa gị,
ma ị dịghị asị, ‘Olileanya adịghị.’
Ị chọtara ntute nye ndụ gị,
ya mere, na ị daghị mba.

11 “Onye na-emenye gị ụjọ na egwu dị otu a?
Nke mere na ị dịghị agwa m eziokwu?
Ị naghị echetakwa m,
ị naghị atụgharịkwa ihe banyere m n’obi gị?
Ọ bụ n’ihi na m gbara nkịtị oge ndị a niile
ka i ji hapụ ịtụ m egwu?
12 Lee, aga m ekpughe ezi omume gị na ọrụ ọma gị,
igosi gị na ihe ndị a ị gụrụ dị ka ezi ihe agaghị enyere gị aka.
13 Mgbe ị ga-eti mkpu akwa maka enyemaka,
ka arụsị niile ndị ịchịkọbara zọpụta gị.
Ikuku ga-eburu ha niile bufuo,
naanị otu nkuume ga-ekutu ha.
Ma onye ọbụla gbabara n’ime m izere ndụ
ga-eketa ala ahụ;
ha ga-enwetakwa ugwu nsọ m.”

### *Nkasiobi dịrị ndị dị umeala n’obi*

14 A ga-asịkwa,
“Dozienụ ụzọ! Dozienụ ụzọ, mee ya ka ọ maa mma.
Bupụsịanụ ihe ịsọ ngọngọ niile n’ụzọ ndị m.”
15 N’ihi ihe a ka onye dị elu, onye e mere ka ọ dị ukwuu,
onye dị mgbe ebighị ebi, onye aha ya dị nsọ kwuru:
“Ebi m n’ebe dị elu nke dịkwa nsọ,
ibinyere onye dị umeala n’obi, na onye wedara mmụọ ya n’ala,
itute mmụọ nke onye e wedara n’ala,
na ịkpọlite mmụọ nke onye dị umeala n’obi.
16 N’ihi na ọ bụghị ruo ebighị ebi ka m ga na-emegide gị,
maọbụ na-egosi iwe m.
Ọ bụrụ na m emee otu a, mmụọ ndị mmadụ ụwa niile ga-ada mba,
ya na mkpụrụobi niile ahụ m ji aka m kpụọ.

† **57:9** 57:9 Maọbụ, eze ‡ **57:9** 57:9 Ya bụ, arụsị apịrị apị

17 Ewesoro m ha iwe n’ihi mmehie ha na oke ọchịchọ ha.
Ọ bụkwa n’ihi ya ka m ji taa ha ahụhụ, gbakụtakwa ha azụ.
Ma lee, ha nọgidesikwara ike na-eme mmehie, na-eme ihe ọbụla nke na-atọ obi ha ụtọ.
18 Ahụla m ihe niile ha mere ma aga m agwọ ha.
Aga m edu ha, kasịekwa ndị na-eru ụjụ n’Izrel obi.
19 Aga m eme ka abụ otuto dị n’egbugbere ọnụ ha.
Udo, udo, dịrị ndị nọ nso na ndị nọ n’ebe dị anya,”
ka ONYENWE ANYỊ kwuru.
“Aga m agwọkwa ha.”
20 Ma ndị niile na-emebi iwu dị ka oke osimiri na-amagharị amagharị,
nke na-adịghị ezu ike mgbe ọbụla.
Ọ na-amapụtakwa ụrọ na apịtị.
21 “Ọ dịkwaghị udo dịrị onye na-emebi iwu,” ka Chineke kwuru.

# 58

*Ezi ibu ọnụ*

1 “Welie olu gị tie mkpu, egbochikwala iti mkpu.
Welie olu gị dịka opi ike.*
Gwa ndị m nnupu isi ha,
gwakwa ụlọ Jekọb mmehie ha.
2 Kwa ụbọchị ka ha na-achọ m
ha na-eme dịka ọ na-agụ ha agụ ịmara ụzọ m niile,
dịka a ga-asị na ha bụ mba na-eme ihe ziri ezi,
ndị na-agbakụtaghị iwu Chineke ha azụ.
Ha na-ajụ m maka ikpe ziri ezi,
na-eme dịka ọ na-agụ ha agụụ ka Chineke bịaruo ha nso.
3 Ha na-asị, ‘N’ihi gịnị ka anyị ji ebu ọnụ,
ma ị dịghị ahụta ya?
N’ihi gịnị ka anyị ji weda onwe anyị n’ala,
ma ị dịghị ahụta nke a?’

“Ma n’ụbọchị unu na-ebu ọnụ, unu na-eme ihe masịrị unu,
unu na-eji anya ike nara ndị na-arụrụ unu ọrụ ihe ha rụpụtara.
4 N’oge ahụ, ọ bụ ise okwu na ịlụ ọgụ,
ya na iti ibe unu ọkpọ n’ihi ajọọ obi ka unu ji emechi ụbọchị ibu ọnụ unu.
Unu apụghị ibu ọnụ otu unu si eme taa
na-ele anya ka anụ olu unu n’elu.
5 Nke a ọ bụ ụdị obubu ọnụ nke m họpụtara,
naanị ụbọchị nke ndị mmadụ ji eweda onwe ha n’ala?
Ọ bụ naanị nke mmadụ ji ehulata isi ya n’ala dịka osisi achara,
nke i dina n’akwa mkpe na ntụ?
Ọ bụ nke a ka unu na-akpọ obubu ọnụ,
ụbọchị nke ONYENWE ANYỊ nabatara?

6 “Nke a ọ bụghị ụdị obubu ọnụ m họpụtara:
Ịtọpụ agbụ niile nke ikpe na-ezighị ezi,
na ịtọpụ ụdọ niile nke mmegbu,
na ime ka ndị a na-emegbu nwere onwe ha

* **58:1** 58:1 Opi ike bụ ihe e ji akpọkọta ndị agha n’oge agha.

na itiji yoku ọbụla?
7 Ka i kenye ndị agụụ na-agụ ihe oriri gị,
ka ị kpọbata n’ime ụlọ gị ndị na-enweghị onye inyeaka, ma ndị ogbenye.
Ka i nye ndị na-agba ọtọ uwe,
ka ị hapụ izo onwe gị n’ebe ndị ikwu gị chọrọ inyeaka gị nọ.
8 Ọ bụrụ na i mee ihe ndị a, aga m eme ka ihuọma m chakwasị gị dịka ìhè isi ụtụtụ.
A ga-agwọkwa ọrịa gị niile.
Mgbe ahụ, ezi omume gị ga-edu gị,
ebube ONYENWE ANYỊ ga-echekwa gị n’azụ.
9 Mgbe ahụ, ị ga-akpọ, ONYENWE ANYỊ ga-azakwa,
ị ga-eti mkpu akwa maka enyemaka, ọ ga-asị gị, Lekwa m n’ebe a.

“Ọ bụrụ na ị wezuga yoku mmegbu,
ọ bụrụkwa na ịkwụsị ịtụ mkpịsịaka, na ịgbasa okwu ịkpọ asị,
10 ọ bụrụ na inye ndị agụụ na-agụ nri,
nyere ndị nọ na mkpa aka,
mgbe ahụ, ìhè gị ga-achawapụta,
ọchịchịrị niile gbara gị gburugburu ga-aghọ ìhè, na-achakwa ka ehihie.
11 ONYENWE ANYỊ ga na-edu gị mgbe niile.
Ọ ga-eme ka afọ jụ gị n’ala kpọrọ nkụ,
meekwa ka ị nọrọ n’ahụ isiike.
Ị ga-adịkwa ka ubi a gbara ogige nke a na-agba mmiri nke ọma,
dịka isi iyi na-adịghị ata ata.
12 Ndị gị ga-edozi mkpọmkpọ ebe ochie niile.
Ha ga-ebulikwa ntọala nke mgbe ochie.
A ga-akpọ unu ndị na-edozi mgbidi dara ada,
ndị na-arụzikwa okporoụzọ nke ebe obibi.

13 “Ọ bụrụ na i debe ụkwụ gị site na-edebeghị ụbọchị izuike nsọ,
sitekwa na-ime ihe ndị na-atọ gị ụtọ n’ụbọchị nsọ m,
ọ bụrụ na ịkpọ ụbọchị izuike m ihe mmasị
na ụbọchị nsọ ONYENWE ANYỊ ihe a na-akwanyere ugwu,
ọ bụrụ na ị sọpụrụ ya site na-emeghị ihe n’ụzọ nke gị,
na-emeghị ọchịchọ nke obi gị, maọbụ ikwugheri ọnụ,
14 mgbe ahụ, ị ga-achọta ọṅụ gị n’ime ONYENWE ANYỊ,
m ga-emekwa ka ịnọkwasị n’ebe dị elu niile nke ala ahụ,
meekwa ka irie oriri na ihe nketa nke nna gị Jekọb.”
N’ihi na ọnụ ONYENWE ANYỊ ekwuola ya.

# 59

*Mmehie, ikwupụta mmehie, na mgbapụta*

1 N’ezie, aka Onyenwe anyị adịghị mkpụmkpụ nke na o nweghị ike ịzọpụta,
ntị ya adịghịkwa arọ nke na o nweghị ike ịnụ ihe.
2 Kama mmehie unu ekewapụla unu
site n’ebe Chineke unu nọ;
mmehie niile unu ezokwala ihu ya site n’ebe unu nọ,
nke mere na ọ chọkwaghị ige ntị ọzọ.
3 N’ihi na aka unu jupụtara na ntụpọ ọbara,
mkpịsịaka unu bụkwa nke mmehie merụrụ.
Egbugbere ọnụ unu ekwuola okwu ụgha,

ire unu na-atamukwa ihe ọjọọ.
4 Ọ dịghị onye na-ekpe ikpe ziri ezi,
ọ dịkwaghị onye na-eji ikwesi ntụkwasị obi kpee ikpe.
Ha na-adabere n’ịrụ ụka n’enweghị isi, ha na-ekwu okwu ụgha,
ha na-atụrụ ime okwu na ụka mụọkwa ajọ ihe.
5 Ha na-avụ akwa ajụala,
na-akpakwa akwụ udide.
Onye ọbụla riri akwa ha ga-anwụ,
mgbe ọbụla otu kụwara, ọ bụ agwọ ajụala na-esi n’ime ya apụta.
6 Akwụ udide ha abaghị uru iji mee uwe,
ha enweghị ike iji ihe ha mepụtara kpuchie onwe ha.
Ọrụ ha niile bụ ajọ ọrụ,
omume ihe ike jupụtara ha n’aka.
7 Ụkwụ ha na-eme ngwangwa ịgbaba n’ime mmehie,
ha na-emekwa ngwa ịkwafu ọbara ndị o nweghị ihe ọjọọ ha mere.
Ha na-achụso echiche ajọ ihe,
ọrụ mbibi na ntipịa bụ ejiri mara nke ụzọ ha niile.
8 Ha amaghị ihe ụzọ udo bụ,
ikpe ziri ezi adịghị n’ụzọ ha na-eso.
Ha e mela ụzọ ha ka ha gbagọọ agbagọ.
Ndị niile na-eso ya anaghị enweta udo.

9 Ya mere ikpe ziri ezi dị anya n’ebe anyị nọ,
ezi omume adịghị erute anyị nso.
Anyị na-ele anya ìhè, ma lee, ọchịchịrị ka anyị na-ahụ.
Anyị na-ele anya mmụke ìhè ma anyị na-ejegharị n’ime oke ọchịchịrị.
10 Anyị na-asọgharị ìsì na mgbidi dịka ndị na-enweghị anya,
na-asọgharị isi dịka ndị na-enweghị anya;
anyị na-ada na-akpọbi ukwu n’etiti ehihie dịka a ga-asị na ọ bụ oge chi ojiji,
n’etiti ndị nwere ezi ndụ, anyị nọ ka ndị nwụrụ anwụ.
11 Anyị na-agbọ ụja dịka bịa;
anyị na-akwasị akwa ike dịka nduru n’eru ụjụ.
Anyị na-ele anya ikpe ziri ezi, ma ọ dịghị eru anyị aka;
anyị na-ele anya nzọpụta, ma ọ dị anya n’ebe anyị nọ.

12 N’ihi na mmehie anyị amụbaala n’ihu Onyenwe anyị;
ọ na-agbakwa ama megide anyị.
E, anyị makwaara ụdị ndị mmehie anyị bụ,
n’ihi na mmehie anyị dịkwa n’ihu anyị mgbe niile.
13 Anyị maara nnupu isi anyị na ngọnarị anyị gọnarịrị Onyenwe anyị;
anyị esitela n’iso Onyenwe anyị Chineke anyị wezuga onwe anyị,
nọgide na-akpali mmegbu na nnupu isi.
Okwu ọnụ anyị bụ okwu ụgha, nke anyị si n’obi anyị tụpụta.
14 Ụlọ ikpe anyị niile adịghị achọ onye ezi omume;
anyị amaghị ihe a na-akpọ ikpe ziri ezi.
Eziokwu asọọla ngọngọ n’ama niile,
ihe ziri ezi apụghị ịbata.
15 E, eziokwu alaala;
onye ọbụla kwa nke na-achọ ibi ndụ ọma na-etinye onwe ya na nsogbu.

ONYENWE ANYỊ lere anya hụ ihe ọjọọ ndị a niile, nke na-enyeghị ya obi ụtọ;
ọ hụkwara na ikpe ziri ezi adịghị.
16 Ọ hụrụ na anyị enweghị onye inyeaka ọbụla;
o wutere ya na ọ dịghị onye na-arịọrọ anyị arịrịọ.
Ọ bụ ya mere o ji bata site n'ike aka ya na n'ezi omume ya,
bịa ịzọpụta anyị.
17 Ọ na-eyikwasị ezi omume dịka ngwa agha ikpuchi obi ya.
Okpu nke nzọpụta ka ọ na-eyikwasịkwa n'isi ya.
Ọ bụkwa uwe ịbọ ọbọ na nke ekworo
na ịnụ ọkụ na obi ka o ji kpuchie onwe ya.
18 Ọ ga-akwụghachi ndị iro ya
dịka ajọ omume ha niile si dị.
Iwe ọkụ ya
ka ọ ga-eji megide ndị iro ya niile
bi na mba dị anya.
19 Site n'ọdịda anyanwụ, ndị mmadụ ga-asọpụrụ aha ONYENWE ANYỊ,
sitekwa n'ọwụwa anyanwụ, ha ga-atụ egwu ebube ya.
N'ihi na ọ ga-abịa dịka idee mmiri
nke nkume, ONYENWE ANYỊ na-agba na-aga.*

20 "Onye mgbapụta ga-abịa na Zayọn;
ọ ga-abịakwute ụmụ Jekọb ndị na-esite na mmehie ha chegharịa."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
21 "Ma mụ onwe m, nke a bụ ọgbụgba ndụ m nke dị n'etiti mụ na ha," ka ONYENWE
ANYỊ na-ekwu. "Mmụọ m, nke dị n'ahụ gị, na okwu m niile nke m tinyere n'ọnụ gị,
agaghị apụ n'egbugbere ọnụ gị, maọbụ n'egbugbere ọnụ ụmụ gị, maọbụ n'egbugbere
ọnụ agbụrụ gị. Ha ga-adịgide site ugbu a ruo mgbe niile ebighị ebi," ka ONYENWE
ANYỊ kwuru.

# 60

*Ebube nke Zayọn*

1 "Bilie, mụkee, n'ihi na ìhè gị abịala,
ebube ONYENWE ANYỊ awaakwala n'ahụ gị dịka anyanwụ.
2 Lee, ọchịchịrị na-ekpuchi ụwa niile,
oke ọchịchịrị na-ekpuchi ndị niile bi n'ụwa,
ma ONYENWE ANYỊ ga-awa dịka anyanwụ n'ahụ gị
ebube ya ga-achakwa ka ihe n'ebe i nọ.
3 Mba niile dị iche iche ga-abịakwute ìhè gị,
ndị eze niile ga-abịaru mmụke nke ọwụwa gị.

4 "Welienụ anya unu abụọ elu legharịa gburugburu unu,
ha niile na-ezukọta na-abịakwute gị;
ụmụ gị ndị ikom na-esi n'ebe dị anya bịa,
ụmụ gị ndị inyom ka a ga-ekukwa n'ụkwụ.
5 Mgbe ahụ, ị ga-elepụ anya ma chakee,
obi gị ga-atọ gị ụtọ, saa mbara n'ihi ọṅụ,
n'ihi na akụ niile nke osimiri ka a ga-ewebatara gị,
akụnụba nke ọtụtụ mba ga-abịara gị.

* **59:19** 59:19 Maọbụ, mgbe onye iro ga-abata dịka idee mmiri, mmụọ nke ONYENWE ANYỊ ga-ebuli ọkọlọtọ imegide ya.

6 Ọtụtụ igwe ịnyịnya kamel nke si Midia
na Efaa ga-ejupụta n'ala gị,*
ma ndị sikwa n'obodo Sheba
ga-ebutere gị ọlaedo na ụda na-esi isi ụtọ.
Ha ga-ekwusakwa otuto Onyenwe anyị.
7 A ga-enye gị igwe ewu na atụrụ niile nke ndị Keda.
Ebule niile nke Nebaiot ga-abụ nke gị.
A ga-anabata ha dịka onyinye n'elu ebe ịchụ aja m.
Aga m edozi ụlọnsọ m dị ebube, mee ya ka ọ maa mma karịa.

8 "Olee ndị bụ ndị a na-efeghari dịka igwe ojii,
ndị na-efeghari dịka ụmụ nduru na-efeba n'akwụ ha?
9 N'ezie, mụ ka ala ndị ahụ mmiri gbara gburugburu na-echere;
ụgbọ niile nke Tashish ga-ebukwa ụzọ,
na-ebughachi ụmụ gị site n'ebe dị anya,
ha na ọlaọcha na ọlaedo ha niile.
Inye Onyenwe anyị bụ Chineke gị nsọpụrụ,
Onye nsọ nke Izrel,
n'ihi na ọ jirila ịma mma gọzie gị.

10 "Ndị mba ọzọ ga-abịa wuziere unu mgbidi unu niile.
Ndị na-achị achị na ndị eze ha niile ga-ejere unu ozi.
Ọ bụ ezie na m tikpọrọ gị n'iwe m,
ma site n'amara m, aga m emere gị ebere.
11 Ọnụ ụzọ ama gị ga-eghe oghe oge niile
site n'ụtụtụ ruo n'ụtụtụ,
ịnabata akụ niile si na mba dị iche iche.
A ga-edurukwa ndị eze dị iche iche bata n'ime ya n'ọnọdụ ndị a dọtara n'agha.
12 Mba ọbụla jụrụ ijere gị ozi ga-ala n'iyi;
a ga-ekpochapụ ha.

13 "Otuto niile na ịma mma niile nke Lebanọn ga-abụ nke gị.
Osisi junipa, na osisi fịa, na osisi junipa, na osisi saipres,
ka a ga-eji chọọ ụlọnsọ m mma.
Aga m emekwa ka ebube jupụta n'ebe ahụ ụkwụ m na-adị mgbe niile.
14 Ụmụ ndị na-emegbu gị ga-abịa kpọọ isiala nye gị.
Ndị ahụ niile na-eleli gị ga-abịa daa n'ala n'ihu gị sutu ụkwụ gị ọnụ.
Ha ga-akpọ Jerusalem, Obodo Onyenwe anyị,
Zayọn nke Onye nsọ Izrel.

15 "Ọ bụ ezie na ọ dị mgbe ị bụ onye a kpọrọ asị, onye a na-emegbu,
onye mmadụ niile na-eweda n'ala,
ma ugbu a, ị ga-ama mma ruo ebighị ebi;
ị ga-abụ ihe na-ewetara ọgbọ niile nke ụwa ọṅụ, n'ihi na otu a ka m ga-eme gị.
16 Ị ga-aṅụ mmiri ara nke mba dị iche iche,
ọ bụkwa ara ndị eze ka a ga-eji zuo gị.†
Mgbe ahụ, ị ga-amata n'ezie na mụ onwe m, bụ Onyenwe anyị bụ Onye nzọpụta gị

* **60:6** 60:6 Ndị ebo Midia, bụ ndị sitere n'akụkụ ndịda ọdịda anyanwụ osimiri Jọdan. Ha na-achị anụ ụlọ na-agaghari n'ihi izu ha. Efaa bụ nwa nwoke Midian Jen 25:4. † **60:16** 60:16 Ọ bụkwa ara ndị eze ka ị ga-amị

na Onye mgbapụta gị, Onye dị ike nke Jekọb.
17 N’ọnọdụ bronz, aga m eweta ọlaedo,
n’ọnọdụ igwe aga m eweta ọlaọcha.
N’ọnọdụ osisi, ọ ga-abụ ọla,
n’ọnọdụ nkume, ọ ga-abụ igwe.
M ga-eme ka udo bụrụ ndị nlekọta gị
ezi omume ga-abụ onye na-achị gị.
18 Ihe ike agaghị adịkwa n’ala gị ọzọ.
Agha niile ga-akwụsị, mbibi na ịla n’iyi agaghị adịkwa.
Mgbidi gị ga-aghọ Nzọpụta,
ị ga-akpọkwa ọnụ ụzọ ama gị niile Otuto.
19 Anyanwụ agaghị abụkwara gị ìhè n’ehihie ọzọ,
maọbụ maramara nke ọnwa amụkwasị gị ihe,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke gị ga-abụrụ gị ìhè ruo ebighị ebi,
Chineke gị ga-abụkwa ebube gị.
20 Anwụ gị agaghị ada ada,
ọnwa gị agaghị akwụsịkwa ịcha;
n’ihi na ONYENWE ANYỊ ga-abụrụ gị ìhè ụbọchị gị niile,
iru ụjụ gị niile ga-agabigakwa.
21 Mgbe ahụ, ndị gị niile ga-abụ ndị ezi omume,
ha ga-enwetakwa ala ahụ ruo ebighị ebi.
Ha bụ ome nke m kụrụ,
bụ ọrụ aka m,
ime ka ịma mma m pụta ìhè.
22 Ezinaụlọ dị nta ga-aba ụba ghọọ obodo,
mba nta ga-aghọ obodo buru ibu.
Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ,
ga-eme ka ha niile mezuo ọsịịsọ n’oge ya.”

# 61

*Afọ ngosi ihuọma Onyenwe anyị*

1 Mmụọ nke Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ dị n’ahụ m,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ eteela m mmanụ
ka m kwusaa oziọma nye ndị ogbenye.
O zitela m ịkasị ndị obi ha tiwara etiwa obi,
ikwupụta inwere onwe nye ndị a dọtara n’agha,
na ntọghapụ site n’ọchịchịrị nye ndị mkpọrọ.*
2 O zitere m ikwupụta afọ mgbe Onyenwe anyị ga-eji ihuọma leta ndị mmadụ,
na ụbọchị ịbọ ọbọ nke Chineke anyị.
O zitekwara m ịkasị ndị niile na-eru ụjụ obi,
3 na igboro ndị niile na-eru ụjụ na Zayọn ihe na-akpa ha.
O zitere m inye ha okpueze mara mma
n’ọnọdụ ntụ,
inye ha ọṅụ,
n’ọnọdụ ịkwa akwa,
na iyikwasị ha mmụọ otuto
n’ọnọdụ mmụọ ịda mba.
N’ihi na Chineke akụọla ezi omume n’ime ha,
dịka osisi ook siri ike,

---

* **61:1** 61:1 Imeghe anya ndị kpuru ìsì

igosi ịma mma ONYENWE ANYỊ.

4 Ha ga-ewughariịkwa ebe niile e tikpọrọ etikpọ n’oge ochie,
dozieκwa ebe niile tọgbọrọ n’efu site n’oge dị anya;
ha ga-eme ka obodo e tikpọrọ etikpọ dị ọhụrụ,
bụ ebe tọgbọrọrị n’efu nke ọtụtụ ọgbọ gara aga.
5 Ndị ọbịa ga-azụrụ gị igwe ewu na atụrụ unu;
ndị mba ọzọ ga-akọrọ unu ala ubi unu, lekọtakwa ubi vaịnị unu niile.
6 A ga-akpọ unu ndị nchụaja ONYENWE ANYỊ,
kpọkwa unu ndị ozi Chineke anyị.
A ga-eji akụ niile si na mba dị iche iche zụọ unu.
Ọ bụkwa akụnụba ha ka unu ga-eji nyaa isi.

7 N’ọnọdụ ihere dịịrị ha ugbu a,
ndị m ga-enweta ngọzị okpukpu abụọ,
n’ọnọdụ nkọcha dịịrị ha
ha ga-aṅụrị ọṅụ n’ihi ihe nketa ha nwetara.
Ha ga-enweta okpukpu ihe nketa ala abụọ,
ketakwa ọṅụ nke ga-adịgidere ha ruo mgbe ebighị ebi.

8 “N’ihi na mụ onwe m, ONYENWE ANYỊ, na-ahụ ikpe ziri ezi n’anya.
Ma ana m akpọ izu ohi na ajọ omume niile asị.
Aga m esite n’ikwesị ntụkwasị obi m kwụghachi ndị m n’ihi ahụhụ ha tara,
mụ na ha ga-agbakwa ndụ ebighị ebi.
9 Mkpụrụ ha ga-abụ ndị a ma ama,
a ga-asọpụkwara ha n’etiti mba niile.
Ndị niile hụrụ ha ga-amata,
kwupụtakwa na ha bụ ndị ONYENWE ANYỊ gọziri.”

10 Obi na-atọ m ụtọ nke ukwuu n’ime ONYENWE ANYỊ,
mkpụrụobi m ga-etegharịkwa egwu ọṅụ n’ime Chineke m.
N’ihi na o werela uwe nzọpụta kpuchie m,
werekwa uwe oke ọṅụ nke ezi omume ya yikwasị m n’ahụ.
Adị m ka nwoke na-alụ nwanyị ọhụrụ, onye na-emezi isi ya ka ọ dịrị ka nke onye nchụaja.
E, adị m ka nwaagbọghọ na-alụ di, nke ji ọla ọma dị iche iche chọọ onwe ya mma.
11 Dịka aja dị n’ubi si eme ka ihe a kụrụ n’ubi pupụta,
dịka ubi a gbara ogige si eme ka mkpụrụ ubi too,
otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ga-esi mee ka ezi omume na otuto
pupụta n’ihu mba niile.

# 62

*Aha ọhụrụ nke Zayọn*

1 N’ihi Zayọn agaghị m emechi ọnụ,
n’ihi Jerusalem agaghị m anọ jii,
ruo mgbe ezi omume ya ga-enwuwa dịka ihe ụtụtụ;
mgbe nzọpụta ya kwa ga-enwukwa dịka ọwaọkụ na-enwu enwu.
2 Mba niile ga-ahụ ezi omume gị.
Ndị eze niile ga-ahụkwa ebube gị.

A ga-akpọkwa gị aha ọhụrụ ahụ
nke ọnụ ONYENWE ANYỊ ga-agụ gị.
3 Ị ga-aghọ okpueze nke ịma mma n'aka ONYENWE ANYỊ,
ihe iyi n'isi nke ndị ụlọeze n'aka Chineke gị.
4 A gakwaghị akpọ gị onye ahapụrụ ahapụ,
maọbụ kpọọ ala gị ala tọgbọrọ n'efu.
Ma a ga-akpọ gị Hefziba,
kpọkwa ala gị Beula,
n'ihi na ihe gị ga-atọ ONYENWE ANYỊ ụtọ,
a ga-alụkwa ala gị dịka nwunye.
5 Dịka nwokorobịa si alụrụ nwaagbọghọ na-amaghị nwoke,
otu a ka Onye na-ewu gị* ga-alụ gị,
dịka onye lụrụ nwunye ọhụrụ sị aṅụrị ọṅụ n'ebe nwunye ọhụrụ ya nọ,
otu a ka Chineke gị ga-aṅụrị ọṅụ n'ihi gị.

6 Enyela m ndị nche ọnọdụ ọrụ n'elu mgbidi gị niile, Jerusalem.
Ha agaghị edebe ọnụ ha duu mgbe ọbụla, ma ehihie ma abalị.
Unu ndị na-akpọku ONYENWE ANYỊ,
unu enyela onwe unu izuike.
7 Unu enyekwala ya izuike tutu ruo mgbe ọ ga-eme ka Jerusalem guzosie ike,
meekwa ya otuto nke ụwa niile.

8 ONYENWE ANYỊ ewerela aka nri ya
werekwa ogwe aka ya ṅụọ iyi sị,
"Ọ dịghịkwa mgbe m ga-enye mkpụrụ ubi gị
ka ọ bụrụ nri nye ndị iro gị ọzọ,
ọ dịghịkwa mgbe ndị ọbịa ga-aṅụkwa mmanya ọhụrụ ahụ
bụ nke ị dọgburu onwe gị n'ọrụ n'ihi ya.
9 Ma ndị were ya ka ihe ubi ga-eri ya,
tookwa ONYENWE ANYỊ,
ndị kpokọtara oroma grepu ga-aṅụ ya
n'ime ogige ebe nsọ m."

10 Gabiganụ! Gabiganụ sitenụ n'ọnụ ụzọ ama niile.
Dozienụ ụzọ maka ndị m.
Wuzienụ ụzọ niile, wuzienụ okporoụzọ niile.
Bupụsịanụ nkume niile,
weliekwanụ ọkọlọtọ maka mba niile.

11 ONYENWE ANYỊ ekwusaala okwu
nye nsọtụ niile nke ụwa sị,
"Gwanụ Ada Zayọn,
'Lee Onye Nzọpụta gị na-abịa!
Lee, ụgwọ ọrụ ya dị ya n'aka,
nkwụghachi nke ọ ga-akwụghachi sokwa ya na-abịa.' "
12 A ga-akpọ ha Ndị Nsọ,
ndị ONYENWE ANYỊ gbapụtara;
a ga-akpọkwa unu ndị a na-achọsi ike,
Obodo a na-agbakụtaghị azụ.

* **62:5** 62:5 Ụmụ gị ndị ikom

# 63

*Ụbọchị ịbọ ọbọ na mgbapụta nke Chineke*

1 Onye bụ onye a si n'Edọm na-abịa,
onye si Bozra, nke uwe ya dị ọbara ọbara?
Onye bụ onye a, yi uwe mara oke mma,
onye na-azọ ije dịka ịba ụba nke ike ya si dị?

"Ọ bu mụ onwe m, onye na-ekwu okwu n'ezi omume,*
onye dị ike ịzọpụta!"

2 Gịnị mere uwe gị ji na-acha ọbara ọbara,
dịka uwe onye na-azọcha mkpụrụ vaịnị?

3 "Azọchaala m ebe ịzọcha mkpụrụ vaịnị, naanị m zọchara ya;
o nweghị onye sị na mba niile dị iche iche bịa nyere m aka.
Azọchara m ha n'iwe m,
zọpịasịakwa ha n'ime oke ọnụma m;
ọbara ha gbasasịrị n'uwe m,
ma metọsịa uwe m niile.
4 N'ihi na ọ bụ ụbọchị m ji abọ ọbọ;
afọ mgbapụta m kwadoro eruola.
5 Elere m anya ma o nweghị onye bịara inyere m aka.
O juru m anya, jukwa m ọnụ, na o nweghị onye pụtara inyere m aka.
N'ihi ya, aka m wetara m mmeri.
Ọ bụkwa ọnụma juru m obi gbara m ume imezu ya.
6 N'iwe m, azọpịara mba niile dị iche iche;
esitere m n'ọnụma juru m obi zọpịasịa ha.
Emekwara ka ọbara ndụ ha bụrụ ihe a wụsiri n'ala."

*Ekpere na otuto*

7 Aga m ekwupụta ihe banyere ịhụnanya Onyenwe anyị.
Aga m eto ya n'ihi ihe niile o mere.
Aga m aṅụrị ọṅụ n'ihi ịdị mma ya n'ebe Izrel nọ,
e, n'ihi ọtụtụ ihe ọma o mere
n'ihi mmeso ọma niile o mesoro ụlọ Izrel,
nke ọ na-emeso ha dịka obi ebere ya na ọmịiko ya si dị.
8 N'ihi na Onyenwe anyị sịrị, "Ndị a bụ nke m;
e, ha agakwaghị agọnarị m ọzọ."
Ya mere, ọ ghọọrọ ha Onye nzọpụta.
9 N'ime mkpagbu ha niile, a kpagbukwara ya onwe ya,
ọ bụkwa mmụọ ozi nke ihu ya zọpụtara ha.
N'ime ịhụnanya ya na obi ebere ya, ọ gbapụtara ha,
bulie ha elu, kuru ha
ogologo ụbọchị ndị a niile ndị gara aga.
10 Ma ha nupuru isi megide ya,
meekwa ka obi jọọ Mmụọ Nsọ ya njọ.
Ọ bụ ya mere o ji ghọọ onye iro ha,
lụsokwa ha ọgụ n'onwe ya.

11 Mgbe ahụ, ndị ya chetara ụbọchị ndị ahụ gara aga,

* **63:1** 63:1 Maọbụ, mmeri

ụbọchị Mosis na ndị nke ya.
Olee ebe onye ahụ nọ nke mere ka ha si n’oke osimiri rigopụta,
ya na onye ọzụzụ atụrụ nke igwe atụrụ ya?
Olee ebe onye ahụ tinyere
Mmụọ Nsọ ya n’etiti ha nọ.
12 Olee onye ahụ ike ya
mere ka osimiri kewaa abụọ n’ihu ha,
mgbe Mosis weliri aka ya elu,
meekwa ka aha ya dịgide ruo ebighị ebi?
13 Onye duuru ha gafee mmiri dị oke omimi?
Dịka ịnyịnya na-agba ọsọ n’ọzara,
ike agwụghị ha.
14 Dịka ehi na-ata ahịhịa na ndagwurugwu,
Mmụọ ONYENWE ANYỊ nyere ha izuike.
Otu a ka i si duo ndị gị,
ime ka aha gị bụrụ ihe a na-asọpụrụ asọpụrụ.

15 Onyenwe anyị, biko site n’eluigwe,
ebe obibi nsọ gị, lee anyị anya.
Olee ebe n’ịnụ ọkụ n’obi na ike gị dị?
Olee ebe obi ebere gị na ọmịiko gị dịkwa?
16 Ma gị onwe gị, bụ Nna anyị,
a sịkwarị na Ebraham amaghị anyị
maọbụ Izrel agọnarị anyị,
gị onwe gị, ONYENWE ANYỊ, bụ Nna anyị,
onye Mgbapụta anyị ka ị na-azakwa siterị na mgbe ochie.
17 ONYENWE ANYỊ, gịnị mere i ji na-eme ka anyị si n’ụzọ gị kpafuo
na-eme ka obi anyị sie ike otu a, na anyị adịghị atụ egwu gị?
Lọghachi n’ihi ndị ohu gị,
n’ihi ebo ndị ahụ bụ ihe nketa gị.
18 Ọ bụ naanị nwa oge nta ka ndị gị nwetara ebe nsọ gị,
ma ugbu a, ndị iro anyị azọdala ebe nsọ gị.
19 Anyị bụ nke gị site na mgbe ochie,
ma ị naghị achị n’ebe ha nọ,
ha bụ ndị a na-akpọkwasịghịkwa aha gị.

# 64

1 Ọ gaara adị mma ma asị na ị ga-adọwa eluigwe rịdata n’ala,
ma asị n’ugwu ukwu niile ga-ama jijiji n’ihu gị!
2 Dịka mgbe ọkụ na-agba ụmụ osisi,
na-eme ka mmiri e sikwasịrị n’ọkụ gbọọ.
Si n’elu rịdata bịa mee ka ndị iro* gị niile maara aha gị,
meekwa ka mba niile dị iche iche maa jijiji n’ihu gị.
3 N’ihi na ọ bụ mgbe i mere ọtụtụ ihe egwu dị iche iche nke anyị na-atụghị anya ya
ka ị rịdatara mee ka ugwu ukwu niile maa jijiji n’ihu gị.
4 N’ihi na site na mgbe ochie, ọ dịbeghị onye nụrụ,
ọ dịbeghị ntị ghọtara,

---

* **64:2** 64:2 Ya bụ, ndị na-emegide gị

o nwebeghị anya hụrụ Chineke ọzọ karịa gị,
onye na-emejupụtara ndị na-echere ya ihe na-akpa ha.
5 Ị na-enyere ndị na-eme ezi ihe aka,
bụ ndị ji ọṅụ na-echeta ụzọ gị n'echiche uche ha.
Ma mgbe anyị nọgidere na-emehie megide ha,
iwe were gị.
A ga-esikwanụ aṅaa zọpụta anyị?
6 Anyị niile dịka onye rụrụ arụ,
ezi omume anyị niile kwa dịka nkịrịnka akwa ruru unyi.
Anyị akpọnwụọla dịka akwụkwọ osisi,
mmehie anyị na-ebufukwa anyị dịka ifufe.
7 Ọ dịghị onye n'ime anyị na-arịọ gị arịrịọ;
ọ dịkwaghị onye na-akpọku aha gị.
N'ihi ya, i zoola ihu gị site n'ebe anyị nọ,
meekwa ka anyị bụrụ ndị gbazere agbaze n'ihi mmehie anyị.

8 Ma otu ọbụla o si dị, gị ONYENWE ANYỊ bụ Nna anyị.
Anyị bụ ụrọ, ma ị bụ ọkpụ ite.
Ọ bụ aka gị kpụrụ anyị niile.
9 Biko, ONYENWE ANYỊ, anọgidela na-eweso anyị iwe;
echetakwala mmehie anyị ọzọ ruo mgbe ebighị ebi.
Biko, lekwasị anyị anya
n'ihi na ndị gị ka anyị bụ.
10 Obodo nsọ gị niile aghọọla ọzara;
ọ bụladị Zayọn aghọọla ọzara, Jerusalem, ebe tọgbọrọ n'efu.
11 Ụlọnsọ ukwu anyị ahụ mara mma, nke dịkwa nsọ, ebe nna anyị ha nọ too gị, ma
feekwa gị ofufe,
abụrụla ihe a gbara ọkụ.
Ihe niile mara mma n'ime ya alaala n'iyi.
12 Mgbe ihe niile gasịrị, ONYENWE ANYỊ, ị ga-ejisi onwe gị ike?
Ị ga-agba nkịtị, taa anyị ahụhụ ebe ọ gafere oke?

# 65

*Ikpe na nzọpụta*

1 "Ana m egosipụta onwe m nye ndị ahụ na-adịghị ajụ ase m.
Ọ bụkwa ndị ahụ na-adịghị achọsi m ike na-achọta m.
Ana m agwa mba ahụ nke na-adịghị akpọku aha m,
asịrị m, 'Lee m, anọ m n'ebe a.'
2 Ogologo ụbọchị niile ka m gbasapụrụ aka m abụọ
nye ndị na-enupu isi,
bụ ndị na-agbaso ụzọ na-ezighị ezi
ndị a na-agbaso ihe ọbụla ha tụpụtara n'uche ha,
3 ndị na-anọgide na-akpasu m iwe
n'ihu m mgbe niile,
ndị na-achụ aja n'ubi ha a gbara ogige,
n'ebe ịchụ aja eji brik wuo,
4 ndị na-anọdụ n'etiti ili,
ma na-anọdụkwa ọnọdụ abalị n'ebe nzuzo dị iche iche;
ndị na-eri anụ ezi,
ndị ite ofe ha jupụtara n'anụ na-adịghị ọcha;

5 ndị na-asịrịta onwe ha, 'Nọdụ iche, Abịala m nso,
n'ihi na ị ga-emerụ m, adị m nsọ karịa gị!'
Ma ndị dị otu a dịka anwụrụ ọkụ n'imi m.
Ha bụ ọkụ na-enwu ehihie na n'abalị.

6 "Lee, edeela ya rịị n'ihu m sị:
Agaghị m agba nkịtị, aga m akwụghachi n'uju.
E, aga m akwụghachi ha.
7 Ọ bụghị naanị maka mmehie ha, kama maka mmehie nna nna ha niile,"
Otu a ka Onyenwe anyị kwuru,
"N'ihi na ha surere aja nsure ọkụ n'elu ugwu dị iche iche,
kparịakwa m n'elu ugwu nta niile.
Aga m akwụghachi ha n'uju,
n'ihi ihe ndị a niile ha mere n'oge gara aga."
8 Otu a ka Onyenwe anyị na-ekwu,
"Dịka a na-achọta mmanya site n'ụyọkọ mkpụrụ vaịnị
ndị mmadụ asị, 'Ebibila ya,
n'ihi na ngọzị ka dị n'ime ha,'
otu a ka m ga-eme n'ihi ndị ohu m;
Agaghị m ebibicha ha niile.
9 Aga m eme ka mkpụrụ site na Jekọb pụta,
sitekwa na Juda nweta ndị ga-enweta ugwu m niile.
Ndị m họpụtara ga-eketa ha,
ndị ohu m ga-ebikwa n'ebe ahụ.
10 Sharọn ga-aghọkwa ebe ịta nri nke igwe anụ ụlọ;
Ndagwurugwu Akọ ga-abụkwa ebe izuike nye igwe ehi,
na ndị m na-achọsi m ike.

11 "Ma unu ndị wezugara onwe unu site n'ebe Onyenwe anyị nọ,
ndị chezọrọ ugwu nsọ m,
ndị na-edozi tebul maka Ihuọma,
ndị na-agbaju mmanya agwara ọgwa n'iko maka Akara aka.*
12 Aga m eme ka unu zute mma agha;
unu niile ga-adakwa mgbe a na-egbu unu.
N'ihi na akpọrọ m unu ma unu azaghị;
mgbe m gwara unu okwu, unu aṅaghị ntị.
Unu kpachapụrụ anya mehie megide m n'ihu,
họrọkwa ime ihe ndị ahụ unu maara nke ọma na m kpọrọ asị."
13 Ya mere, nke a bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị na-ekwu,
"Ndị ohu m ga-eriju afọ,
ma unu ga-anọ agụụ,
akpịrị ga-akpọkwa unu nkụ,
ma ha ga-aṅụ mmiri.
Unu ga-anọ n'ọnụma na ihere,
ma ha ga-anọ n'ọṅụ.
14 Ndị ohu m ga-abụ abụ
n'ihi ọṅụ nke jupụtara n'obi ha,
ma unu ga-akwa akwa,
n'ihi ihe mgbu nke obi unu,

* **65:11** 65:11 Ndị na e doro Gad tebul n'usoro, na-agbaju mmanya agwara ọgwa nye Meni

tiekwa mkpu akwa n’ihi obi ntiwa nke mmụọ unu.
15 Unu ga-ahapụ aha unu
nye ndị m họpụtara nye onwe m ka ọ bụrụ ihe ha ji abụ ọnụ;
n’ihi na Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ga-etigbu unu,
ma ọ ga-akpọ ndị ohu ya aha ọzọ.
16 Onye ọbụla na-ekpe ekpere n’ala ahụ,
ga-eme otu a n’aha Chineke nke eziokwu,
onye ọbụla na-aṅụkwa iyi n’ime ala ahụ
ga-aṅụ iyi n’aha Chineke nke eziokwu.
N’ihi na-echezolam nsogbu niile ndị gara aga,
zokwa ha site n’anya m.

### *Ụwa ọhụrụ na eluigwe ọhụrụ*

17 “N’ihi na lee, ana m eke
eluigwe ọhụrụ na ụwa ọhụrụ.
Ọ dịghị onye ga-echetakwa ndị ochie ahụ ọzọ;
ọ gaghị abatakwa n’echiche onye ọbụla.
18 Ma ṅụrịanụ ọṅụ, tegharịakwa mgbe niile n’obi ụtọ
n’ihi ihe nke mụ onwe m na-eke,
n’ihi na-aga eke Jerusalem ka ọ bụrụ ihe ọṅụ
ndị ya ga-abụkwa ihe obi ụtọ.
19 Aga m aṅụrị ọṅụ n’ihi Jerusalem,
nweekwa obi ụtọ n’ihi ndị m;
a gaghị anụkwa olu ịkwa akwa n’ime ya ọzọ,
maọbụ olu iti mkpu akwa.

20 “Ọ dịghịkwa nwa ọhụrụ nwụchuru anwụchu
ga-adị n’ebe ahụ ọzọ,†
a gaghị ahụkwa agadi nwoke nke na-anọzughị ụbọchị ndụ ya;
n’ihi na a ga-agụnye onye nwụrụ mgbe ọ gbara narị afọ tupu ọ nwụọ
dị ka nwantakịrị;
a ga-agụkwa onye na-anọrughị narị afọ
dịka onye a bụrụ ọnụ.
21 Ha ga-ewu ụlọ, biekwa n’ime ya;
ha ga-akụkwa ubi vaịnị, riekwa mkpụrụ ha.
22 Ndị m agaghị ewukwa ụlọ hapụrụ ya ndị ọzọ,
maọbụ ghaa mkpụrụ n’ubi nke ndị ọzọ ga-aghọrọ rie.
N’ihi na dịka osisi si adị ndụ ogologo oge
otu a ka ndị m ga-esi dịkwa ndụ ogologo oge.
Ha ga-aṅụrịkwa ọṅụ
n’ihe ahụ ha ji aka ha rụpụta.
23 Ha agaghị adọgbu onwe ha n’ọrụ n’efu.
Ha agaghị amụtakwa ụmụ ndị ga-emesịa nwụchuo ọnwụ.
N’ihi na ha ga-abụ ndị ONYENWE ANYỊ gọziri,
ha na ụmụ ụmụ ha.
24 Tupu ha akpọkuo m, aga m aza ha.
Mgbe ha ka nọ na-agwa m banyere mkpa ha, aga m anụ, zakwa ekpere ha.
25 Nkịta ọhịa na nwa atụrụ ga-atakọ nri n’otu ebe,
ọdụm ga-ata ahịhịa dịka ehi,
ma agwọ ọjọọ niile ga-ata aja!

† **65:20** 65:20 Nwa nwụrụ mgbe ọ ka dị naanị abalị ole na ole

Ha agaghị emerụ ihe ọbụla ahụ,
maọbụ bibie ihe ọbụla n’ugwu nsọ m.”
Ka Onyenwe anyị kwuru.

# 66

*Ikpe ikpe na olileanya*

1 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị na-ekwu,
“Eluigwe bụ ocheeze m,
ụwa bụkwa ebe mgbakwasị ụkwụ m.
Ọ bụ ụdị ụlọ gịnị ka ị ga-ewuru m?
Ebee ka ebe izuike m ga-adị?”
2 Ọ bụghị aka m mere ihe ndị a niile,
mee ka ha ji dịrị?
Otu a ka Onyenwe anyị kwupụtara.

“Ma olee ndị ihe ha na-atọ m ụtọ,
ọ bụ ndị ahụ nwere obi umeala, ndị na-adịghị ebuli onwe ha elu,
ndị na-amakwa jijiji n’okwu m.
3 Ma onye ọbụla nke na-achụ aja ehi
dịka nwoke na-egbu mmadụ,
onye ọbụla jikwa nwa atụrụ achụ aja
dị ka onye na-agbaji nkịta olu,
onye ọbụla na-achụ aja mkpụrụ ọka
dị ka onye na-eche ọbara ezi,
otu a kwa, onye ọbụla na-esure ụda na-esi isi ụtọ nke ncheta
dị ka onye na-efe arụsị.
Ha ahọpụtarala onwe ha ụzọ nke ha,
ha na-enwekwa mmasị n’ihe arụ ha niile.
4 Ya mere, aga m ezitere ha ahụhụ dị egwu,
mee ka ihe ahụ ha na-atụ egwu ya bịakwasị ha.
N’ihi na mgbe m kpọrọ ha oku, ha azaghị,
mgbe m gwara ha okwu, ha egeghị ntị.
Kama ha mere ihe ọjọọ n’ihu m,
họrọkwa ime ihe ndị ahụ ha maara na m kpọrọ asị.”

5 Nụrụnụ okwu Onyenwe anyị,
unu ndị na-ama jijiji n’okwu ya,
“Ụmụnna unu, ndị kpọrọ unu asị,
ndị chụpụkwara unu n’ihi aha m, ekwuola sị,
‘Ka a sọpụrụ Onyenwe anyị!
Ka anyị lee ụdị ọṅụ ga-abụ nke unu!’
Ma a ga-etinye ha n’ọnọdụ ihere.
6 Ọ bụ gịnị bụ mkpọtụ dị n’ime obodo?
Gịnị bụ oke ụzụ na-ada n’ime ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị?
Ọ bụ ụzụ Onyenwe anyị na-eme.
Onye ahụ na-akwụghachi ndị iro ya ụgwọ ruuru ha.

7 “Tupu ime amalite ime ya,
ọ mụpụtalarị nwa ya.
Tupu ihe mgbu ya ebido,

ọ mụpụtala nwa nwoke.
8 Onye jiri ntị ya nụtụ ihe dị otu a mbụ?
Onye kwa ji anya ya hụ ihe dị otu a?
A pụrụ ịmụpụta otu mba n’otu ụbọchị?
Ka e nwere ike ime ka otu obodo malite ịdị n’otu ntabi anya?
Lee na tupu ihe mgbu nke ọmụmụ nwa ya ebido
Zayọn amụpụtala ụmụ ya.
9 Mụ onwe m, m ga-eme ka nwa rute n’oge ọmụmụ
gharakwa ime ka a mụọ ya?”
ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu.
“M ga-emechi akpanwa
mgbe m na-eme ka a mụpụta ya?”
ka Chineke gị jụrụ.
10 “Soronụ Jerusalem ṅụrịa ọṅụ, soronụ ya nwee obi ụtọ,
unu ndị niile hụrụ ya n’anya;
soronụ ya ṅụrịa ọṅụ nke ukwuu,
unu ndị ruru ụjụ n’ihi ya.
11 N’ihi na ihe banyere Jerusalem ga-atọ unu ụtọ.
Unu ga-aṅụjukwa ara nkasiobi ya afọ,
ọ bụladị dịka nwantakịrị si enwe obi ụtọ
mgbe ọ na-aṅụ ara nne ya nke na-agba nke ọma.”
12 N’ihi na ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“Aga m eme ka udo bara ya ụba dịka osimiri,
mee ka akụnụba niile nke ndị mba ọzọ dịrị ka mmiri na-asọbiga oke.
Ọ ga-elekọta gị, kurukwa gị, makụọkwa gị n’aka ya,
wughariịakwa gị n’ikpere ya.
13 Dịka nne si akasị nwa ya obi,
otu a ka m ga-esi kasịe unu obi.
Ọ bụ n’ime Jerusalem ka a ga-akasị unu obi.”

14 Mgbe ị hụrụ ihe ndị a, obi gị ga-aṅụrị ọṅụ,
ịga awasa dịka ahịhịa ọhụrụ;
a ga-emekwa ka aka ONYENWE ANYỊ pụta ìhè n’ebe ndị ohu ya nọ,
ma a ga-egosi ndị iro ya oke iwe ya.
15 N’ihi na lee, ONYENWE ANYỊ ga-eji ọkụ bịa.
Ụgbọala ya ga-adịkwa ka oke ifufe.
Ọ ga-eji ọnụma gosi iwe ya,
werekwa ọkụ na-enwu enwu baa mba.
16 N’ihi na ONYENWE ANYỊ ga-eji ọkụ na mma agha ya
kpee ndị mmadụ niile ikpe.
Ọ ga-egbukwa ọtụtụ mmadụ.
17 “Ndị ahụ niile na-edo onwe ha nsọ, ndị na-eme onwe ha ka ha dị ọcha n’ihi
ịbanye n’ubi a gbara ogige, ndị ahụ na-eso onye ahụ nọ n’etiti ndị ahụ na-eri anụ ezi,
na oke, na ihe ndị ọzọ ahụ niile rụrụ arụ, ga-ezute ọnwụ nke nọ na-eche ha niile.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
18 “Ma mụ onwe m, amaara m nke ọma ihe ha zubere ma meekwa, ana m abịa
ịchịkọta mba niile na-asụ asụsụ dị iche iche. Ha niile ga-abịakwa hụ ebube m.
19 “Aga m edokwa ihe ịrịbama n’etiti ha, zipụkwa ndị fọdụrụ ndụ n’etiti ha ka
ha gaa n’obodo Tashish, na Libiya,* na Lidiya† (ndị na-agba àkụ n’ụta nke ọma) na

* **66:19** 66:19 Ụfọdụ akwụkwọ mgbe ochie na-ede Put ma ndị Hibru na-ede Pul † **66:19** 66:19 Maọbụ, ndị Lud

Tubal, na Griis. E, ha ga-eje na mba niile nke dị anya, n'ofe osimiri, ebe ndị bi n'ime ya
na-anụbeghị ihe banyere ịdị ukwuu nke m, maọbụ hụ ebube m. Ha ga-ekwusakwa
ihe banyere ebube m n'etiti mba niile dị iche iche. [20] Ha ga-akpọghachi ụmụnne
unu niile site na mba niile, bịa n'ugwu nsọ m dị na Jerusalem, dịka onyinye a na-
ewetara ONYENWE ANYỊ. Ha ga-ebute ha n'elu ịnyịnya, n'ụgbọ agha, n'elu ụgbọala a
na-adọkpụ adọkpụ, n'elu ịnyịnya muul na n'elu ịnyịnya kamel," ka ONYENWE ANYỊ
na-ekwu. "Ha ga-ebubata ha dịka mgbe ndị Izrel na-ewebata onyinye mkpụrụ ha
n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ n'efere mmemme dị ọcha. [21] Aga m ahọrọkwa ụfọdụ ka ha
bụrụ ndị nchụaja na ndị Livayị," ka ONYENWE ANYỊ kwuru.
[22] "Dịka eluigwe ọhụrụ na ụwa ọhụrụ ahụ nke m ga-eke ga-esi dịgide n'ihu m, otu
a ka aha unu na agbụrụ unu ga-adịgide, ka ONYENWE ANYỊ kwubiri. [23] Ọ ga-abụkwa
na site n'otu Ọnwa ọhụrụ ruo nke ọzọ, sitekwa n'otu ụbọchị izuike ruo na nke ọzọ
ya, anụ ahụ niile bụ mmadụ ga-abịa, daa, kpọọ isiala n'ihu m," ka ONYENWE ANYỊ
kwuru. [24] "Ha ga-apụ, jee, lekwasị ozu ndị ahụ niile nwụrụ anwụ anya, bụ ndị ahụ
niile nupuru isi megide m. N'ihi na ikpuru ha agaghị anwụ anwụ, ọkụ a kwanyere
agakwaghị anyụ anyụ. Ha ga-abụkwara mmadụ niile ihe na-asọ oyi."

# Jeremaya

1 Ndị a bụ okwu Jeremaya nwa Hilkaya, bụ otu onye n'ime ndị nchụaja, nọ n'Anatot
nke dị n'ala Benjamin. 2 Onye okwu nke ONYENWE ANYỊ bịakwutere n'afọ nke iri na
atọ n'oge ọchịchị Amọn, eze Juda bụ nwa Josaya. 3 Ozi ndị ọzọ rukwara ya ntị n'oge
Jehoiakim nwa Josaya, bụ eze Juda, ruokwa n'ọnwa nke ise n'afọ nke iri na otu nke
Zedekaya nwa Josaya, bụ eze Juda kwụsịrị, mgbe a dọkpụụrụ ndị Jerusalem n'agha
buru ha ka ha gaa biri na mba ọzọ.

### *Ọkpụkpọ Jeremaya*

4 Okwu ONYENWE ANYỊ bịakwutere m, na-asị,
5 "Amaara m gị tupu a tụrụ ime gị,
tupu a mụọ gị, edoro m gị nsọ,
ahọpụtakwara m gị dịka onye amụma nye mba niile."
6 Asịrị m, "Ewoo, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ. Lee, amaghị m
ekwu okwu. Abụ m naanị nwantakịrị."
7 Ma ONYENWE ANYỊ sịrị m, "Asịkwala 'Abụ m naanị nwantakịrị,' n'ihi na ị
ga-agakwuru onye ọbụla m zigara gị, ị ga-ekwukwa ihe niile m nyere gị n'iwu.
8 Atụkwala egwu n'ihi ha, n'ihi na mụ onwe nọnyere gị ịnapụta gị," ọ bụ ihe
ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
9 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ setịpụrụ aka ya metụ m n'ọnụ, sị m, "Lee, ewerela m
okwu m tinye gị n'ọnụ. 10 Lee, taa, ana m eme gị onye nlekọta mba dị iche iche na
alaeze niile, ihopu na ikwada, ịla n'iyi na ịtịkpọkwa ha, i wulite ma kụọkwa."
11 Mgbe ahụ, okwu nke ONYENWE ANYỊ bịakwutere m, na-asị, "Jeremaya, gịnị ka ị
na-ahụ?"
Azara m sị, "Ana m ahụ otu alaka osisi alụmọnd."
12 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị m, "Ị hụrụ nke ọma, n'ihi na m na-eche okwu ọnụ
ịhụ m na m mezuru ha."
13 Okwu ONYENWE ANYỊ bịakwutere m nke ugboro abụọ na-asị, "Gịnị ka ị na-ahụ?"
A sịrị m, "Ana m ahụ ite mmiri ọkụ, nke na-agbọ agbọ, nke e mere ka o hulata
chee ọnụ ya na ndịda."
14 ONYENWE ANYỊ sịrị m, "Ihe egwu ga-esite n'ugwu bịakwasị ndị niile bi n'ala a.
15 Ma ugbu a, ana m akpọku ndị niile bi n'alaeze dị n'ugwu," otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwubiri ya.
"Ndị eze ha ga-abịa doo ocheeze ha
n'ọnụ ụzọ ama e si abata Jerusalem,
imegide ogologo mgbidi nke obodo ahụ gburugburu,
na imegidekwa obodo niile nke Juda.
16 Aga m ekwupụta ikpe niile m megide ha,
n'ihi ajọ omume ha niile n'ịgbakụta m azụ,
na isure ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye chi ndị ọzọ,
nakwa ịkpọ isiala nye ihe ndị ahụ niile ha ji aka ha kpụọ.
17 "Bilie ọtọ, jikere onwe gị, ka ị pụọ gaa gwa ha ihe ọbụla m nyere gị n'iwu.
Atụkwala ụjọ ha, ma ọ bụghị ya, aga m emenye gị egwu n'ihu ha. 18 N'ihi na lee, site
taa gaa n'ihu emeela m gị ka ị dịrị ka obodo e wusiri ike. Ị dịkwa ka mgbidi e ji igwe
kpụọ, na dịka ibo e ji ọla dị arọ kpụọ, iguzogide ala ahụ niile. Iguzogide ndị eze Juda
niile, ndịisi ala Juda niile, na ndị nchụaja niile, na ndị mmadụ ọzọ. 19 Ha ga-agbalị

ka ha megide gị, ma ha agaghị emeri gị. N’ihi na mụ onwe m nọnyeere gị, aga m anapụtakwa gị.” Otu ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

# 2

*Izrel agbakụta Chineke azụ*

1 Okwu nke ONYENWE ANYỊ bịakwutere m na-asị, 2 “Gaa, kwupụta na ntị Jerusalem,

“Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“ ‘Echetara m ịnụ ọkụ n’obi nke okorobịa gị n’oge gara aga ime ihe ga-atọ m ụtọ,
ịhụnanya gị dịka onye a lụrụ ọhụrụ,
echetakwara m otu unu si soro m n’ime ọzara,
ga n’ala tọgbọrọ n’efu nke a na-akụghị mkpụrụ.
3 Izrel bụ ihe dị nsọ nye ONYENWE ANYỊ,
mkpụrụ mbụ nke owuwe ihe ubi ya.
Ndị niile ripịara ya ka a gụrụ dị ka ndị ikpe mara.
Ihe ọjọọ dakwasịkwara ha.’ ”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

4 Nụrụ okwu nke ONYENWE ANYỊ unu ụlọ Jekọb,
na unu ndị bụ agbụrụ niile sitere n’Izrel.
5 Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“Gịnị bụ ihe ọjọọ nna unu ha chọpụtara n’ime m,
mere ha ji si n’ebe m nọ kpafuo, nọrọ m ebe dị anya?
Nke mere na ha ghọrọ ndị nzuzu
site n’ịgbaso arụsị?
6 Ha ajụghị ‘Olee ebe ONYENWE ANYỊ ahụ nọ,
bụ onye sitere n’ala Ijipt kpọpụta anyị,
duuru anyị gafee ọzara tọgbọrọ n’efu,
n’ala ọzara na ala olulu jupụtara,
ala nke akpịrị ịkpọ nkụ na nke oke ọchịchịrị,
ala ebe ọ dịghị onye na-esi na ya agafee na nke mmadụ na-ebighị na ya?’
7 Ọ bụ m kpọbatara unu n’ala na-amị ọtụtụ mkpụrụ,
ka unu rie ihe dị ukwuu na ihe dị mma si n’ime ya.
Ma unu bara merụọ ala m
unu mere ihe nketa m ka ọ ghọọ ihe arụ.
8 Ndị nchụaja ajụghị sị,
‘Olee ebe ONYENWE ANYỊ nọ?’
Ndị ikpe ha amaghị m,
ndị na-achị ha mehiere megide m,
ndị amụma ha bụkwa aha Baal ka ha ji ebu amụma,
ha gbasooro ihe na-enweghị isi.

9 “N’ihi ya, aga m ebulite ebubo megide unu,”*
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
“M ga-ebulikwa ebubo megide ụmụ ụmụ unu.
10 Gafee n’ọnụ mmiri Saiprọs lee anya,
zie ozi gaa Keda ma leruo anya nke ọma,
ma ị ga-ahụ ihe ọbụla yiri nke a.
11 O nwerela mba gbanwere chi ndị ha na-efe?

---

* **2:9** 2:9 Aga m akpọ unu ikpe.

(Ọ bụ ezie na ha abụghị chi.)
Ma ndị m ewerela arụsị na-enweghị isi
gbanwere ebube ha.†
12 Ka ibubo nwụọ gị, gị eluigwe n'ihi nke a,
maa jijiji, tụọkwa oke ụjọ."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
13 "N'ihi na ndị m emeela ihe ọjọọ abụọ.
Ha agbakụtala m azụ,
bụ Isi iyi mmiri ndụ,
gwuoro onwe ha ebe ichebe mmiri
nke tipuru etipu na-enweghị ike ịnagide mmiri ọbụla.
14 Izrel ọ bụ ohu, ka ọ bụ ohu a mụrụ n'ụlọ?
Gịnị mere o ji ghọọ ihe nlụta n'agha?
15 Ọdụm agbọọla ụja,
ha ebigbọọla meekwa ka ọ nụ olu ha.
Ha ebibiela obodo ya laa ya n'iyi,
suo ya ọkụ, nke mere na o nweghị onye bi na ha.
16 Ọzọkwa, ndị ikom Memfis na Tapanhis
a kupuola gị isi.
17 Ọ bụghị unu onwe unu wetaara onwe unu ihe ọjọọ dị otu a
site na ịhapụ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu,
mgbe ọ na-edu unu na-aga n'ụzọ?
18 Ugbu a, gịnị bụ uru unu nwetara site n'ịga Ijipt
sitekwa n'ịṅụ mmiri nke osimiri Naịl?
Gịnị bụ uru unu nwetara site n'ịga Asịrịa,
sitekwa n'ịṅụ mmiri si na Yufretis?
19 Ọ bụ ajọ omume unu ga-ewetara unu ahụhụ;
ahụhụ soo ndaghachi azụ unu bụ ihe ga-adọ unu aka na ntị.
Tulee ma matanụ n'onwe unu
otu o si bụrụ ihe ọjọọ na ihe ilu nye unu
bụ inupu isi na ịgbakụta ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu azụ
na-enweghị egwu ọbụla n'ime unu banyere m,"
nke a bụ ihe Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile, kwupụtara.

20 "N'oge gara aga, unu gbajiri yoku unu
dọkapụ agbụ jikọtara mụ na unu,
unu sịrị, 'Agaghị m ejere gị ozi.'
N'ezie, ọ bụ n'elu ugwu ọbụla
nakwa n'okpuru osisi na-agbasa agbasa,
ka ị na-edina dịka onye akwụna.
21 Ma mụ onwe m kụrụ gị dịka osisi vaịnị kachasị mma
nke mkpụrụ ya dị ndụ dịkwa mma.
Olee otu i siri tụgharịa megide m,
ghọọ ihe rụrụ arụ, osisi vaịnị ọhịa?
22 N'agbanyeghị na iji ncha‡ sachaa onwe gị,
maọbụ jirikwa ọtụtụ ntụ ncha,
ntụpọ nke mmehie gị ka dị n'ihu m,"
Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
23 "Ị ga-esi aṅaa na-asị, 'A bụghị m onye e merụrụ emerụ;

† **2:11** 2:11 Gbanwere Chineke ha dị ebube ‡ **2:22** 2:22 Ya bụ, akanwụ

o nwebeghị oge ọbụla m ji gbaso Baal?'
Leruo ụzọ gị anya na ndagwurugwu,
tulee ihe ndị i mere.
Ị bụ nne ịnyịnya ibu dị nkọ,
na-agbagharị ebe a n'ebe nke ọzọ.
24 Nne ịnyịnya ibu ọhịa nke mara ụzọ ya nke ọma n'ọzara,
na-esi imi ma ọ ga-esichapụta oke ịnyịnya ibu,
onye pụrụ igbochi ya n'oge mmekọ ya na oke ịnyịnya zuru?
Oke ịnyịnya ọbụla chọọrọ ya agaghị atụfu oge n'ịchụgharị ya,
n'ihi n'oge ha chọrọ mmekọ, ha ga-achọta ya.
25 Agbala ọsọ ruo mgbe ị ga-agbara ụkwụ efu,
mgbe akpịrị ga-akpọ gị nku.
Ma ị na-asị, 'O nweghị uru ọ bara.
N'ihi na ahụrụ m chi ndị mba ọzọ n'anya,
aghaghị m ịgbaso ha.'

26 "Dịka a na-eme onye ohi ihe ihere mgbe e jidere ya,
otu a ka a ga-eme ụlọ Izrel ihere,
ha onwe ha, ma ndị eze ha, ma ndịisi ha,
ndị nchụaja ha na ndị amụma ha.
27 Ha na-asị osisi, 'Nna m ka ị bụ,'
na-asịkwa nkume, 'Ọ bụ gị mụrụ m.'
Ha agbakụtala m azụ,
jụ iche m ihu.
Ma mgbe ọbụla nsogbu bịakwasịrị ha, ha na-asị,
'Bịa, zọpụta anyị.'
28 Olee ebe chi ndị ahụ i meere nye onwe gị nọ?
Ka ha bịa, ma ọ bụrụ na ha nwere ike ịzọpụta gị,
mgbe nsogbu bịakwasịrị unu.
N'ihi na gị, bụ Juda, nwere ọtụtụ chi
dịka i si nwee ọtụtụ obodo.

29 "Gịnị mere unu ji ekwu okwu ebubo megide m?
Unu niile enupula isi megide m,"
ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
30 "N'efu ka m tiri ụmụ unu ihe;
ma nke a emeghị ka ha nabata ịdọ aka na ntị.
Dịka ọdụm na-adọgbu anụ,
mma agha unu eripịala ndị amụma unu.
31 "Unu ndị ọgbọ a, tuleenụ okwu nke ONYENWE ANYỊ:
"O nweela mgbe m bụ ọzara nye ndị Izrel
ma ọ bụkwanụ ala gbara oke ọchịchịrị?
Gịnị mekwaranụ ndị m ji na-asị, 'Anyị enwerela onwe anyị ịwagharị,
anyị agaghị abịakwutekwa gị ọzọ'?
32 Nwaagbọghọ ọ na-echefu ọla ịchọ mma ya,
nwanyị a na-alụ ọhụrụ ọ na-echefu ngwa ịchọ mma ya?
Ma n'ime ọtụtụ ụbọchị nke a na-apụghị ịgụta ọnụ,
ndị m echefuola m.
33 Lee ka unu si bụrụ ndị ọka n'ịgbaso ịhụnanya.
Ọ bụladị ụmụ nwanyị dị njọ karịsịa nwere ike ịmụta ihe site n'ụzọ unu.
34 N'uwe unu ka achọtara ọbara

ndị ogbenye na-enweghị ihe ọjọọ ha mere,
n’agbanyeghị na unu ejideghị ha ka ha n’agbaka ụzọ.
Ma unu gara n’ihu
35 na-asịkwa, ‘Emeghị m ihe ọjọọ,
ọ dịghị eweso m iwe.’
Ma aga m ekpe unu ikpe,
n’ihi na unu na-asị, ‘Emeghị m mmehie.’
36 Gịnị mere unu ji na-akpaghari
na-agbanwe ụzọ unu ọtụtụ mgbe?
Ijipt ga-etinye unu n’ọnọdụ ihere
dịka ndị Asịrịa mere unu.
37 Unu ga-ebu aka unu n’isi
mgbe unu si ebe ahụ na-apụ,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ ajụla ndị ahụ unu tụkwasịrị obi.
Ha agaghị enyere unu aka.

# 3

1 “Ọ bụrụ na nwoke agbaara nwunye ya alụkwaghị m,
nwanyị ahụ ahapụ ya pụọ ga lụrụ nwoke ọzọ,
di mbụ ya ahụ, o kwesiri ịlaghachi ka ọ lụọkwa ya ọzọ?
Ọ bụ na agaghị emerụ ala ahụ nke ukwuu?
Ma unu ebiela ndụ dịka ndị akwụna nwere ọtụtụ ndị iko,
ọ bụ ugbu a ka unu ga-alaghachikwute m?”
otu ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
2 “Welie anya gị abụọ ma lee ebe niile nke dị elu nke ọhịa na-adịghị n’ala a,
olee ebe gị na ndị ikom na-edinakọbeghị n’ịkwa iko?
Ị na-anọ n’akụkụ ụzọ niile na-eche ndị iko,*
na-anọkwa dịka onye Arebịa† n’ọzara.
Ị werela ịkwa iko gị niile
na ihe ọjọọ gị merụọ ala a.
3 Ọ bụ nke a mere mmiri ji kwụsị izokwara unu,
ọbụla dị mmiri nke na-ezo n’oge ọkọchị.
N’ihi na unu bụ ndị akwụna,
ndị ihere na-adịghị eme.
4 Ọ dịbeghị anya mgbe unu kpọrọ m, sị m,
‘Nna m, ị bụ enyi m kemgbe m dị na nwantakịrị.
5 Iwe gị ọ ga-adịgide mgbe niile?
Iwe gị dị ọkụ ọ ga-adịgide ebighị ebi?’
Otu a ka unu si ekwu okwu,
ma unu nọgidesịrị ike na-eme ihe ọjọọ niile unu nwere ike ime.”

### *Ekwesighị ntụkwasị obi Izrel*

6 Ozi a, nke si n’ọnụ ONYENWE ANYỊ pụta, rutere m aka n’oge eze Josaya na-achị.
Lee ihe ọ gwara m. “Ị hụla ihe Izrel na-ekwesighị ntụkwasị obi na-eme? Ọ gaala n’elu
ugwu ọbụla dị elu nakwa n’okpuru osisi ndụ ọbụla, na-akwa iko n’ebe ahụ. 7 Echere
m na mgbe o mesịrị ihe ndị a niile na ọ ga-alọghachikwute m, ma ọ lọtaghị. Nwanne
ya nwanyị bụ Juda, onye na-ekwesighị ntụkwasị obi hụkwara ya. 8 Enyere m Izrel
na-ekwesighị ntụkwasị obi akwụkwọ alụkwaghị m, chụpụ ya n’ihi ndụ ịkwa iko ya,

* **3:2** 3:2 Ya bụ, dịka nwanyị akwụna † **3:2** 3:2 Onye na-achịgharị anụ ụlọ

ma lee na nwanne ya nwanyị onye na-ekwesịkwaghị ntụkwasị obi bụ Juda atụghị
egwu. Ọ gakwara n'ihu ịkwa iko. 9 Ma nke a emeghị ka ihere mee ya. O merụọla
ala, ọ na-akwakwa iko site n'ife nkume na osisi. 10 N'agbanyeghị nke a, nwanne
ya nwanyị nke na-ekwesighị ntụkwasị obi, bụ Juda ejighị obi ya lọghachikwute m,
maọbụ naanị nlọghachi aghụghọ," otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
11 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị m, "Izrel na-adaghachi azụ na-egosi onwe ya n'onye
ezi omume karịa Juda onye na-aghọ aghụghọ. 12 Gaa, kwusaa ozi a n'ụzọ ugwu, na-
asị,

" 'Lọta, gị Izrel nke na-ekwesighị ntụkwasị obi,' otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
'Agaghị m ewesokwa gị iwe ọzọ,
n'ihi na abụ m onye obi ebere,' otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
'Agaghị m ewe iwe ruo mgbe ebighị ebi.
13 Naanị nabata na ị bụ onye ikpe mara,
na i nupula isi megide ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke gị.
Kwupụta na i werela onwe gị kesara ndị mba ọzọ dị iche iche
n'okpuru osisi ndụ niile,
na ị jụkwara irubere m isi.' "
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

14 "Lọghachinụ unu ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi," ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
sị, "n'ihi abụ m di unu. M ga-ahọrọ unu, otu onye site n'otu obodo na mmadụ abụọ
site n'otu agbụrụ. M ga-akpọghachi unu Zayọn. 15 Mgbe ahụ, aga m enye unu ndị
ọzụzụ atụrụ masịrị m, ndị ga-eji amamihe na nghọta duo unu. 16 N'ụbọchị ahụ, mgbe
ọnụọgụgụ unu mụbara dị ukwuu n'ala ahụ," otu ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya, "ndị
mmadụ agaghị asịkwa ọzọ, 'igbe ọgbụgba ndụ nke ONYENWE ANYỊ.' Ọ gaghị abakwa
ha n'obi maọbụ ha echeta ya; ọ gaghị adịkwa ha mkpa maọbụ emepụtakwa ọzọ.
17 Mgbe oge ahụ ruru, aha a ga-akpọ Jerusalem bụ Ocheeze ONYENWE ANYỊ. Mba niile
kwa ga-ezukọta n'ebe ahụ ife m ofufe. Ha agakwaghị agbaso echiche obi ọjọọ ha.
18 N'ụbọchị ahụ ndị Juda ga-adịnyere ndị Izrel, ha abụọ ga-ejikọta aka site n'ala ahụ
dị n'ugwu bịa n'ala nke m nyere nna nna unu dịka ihe nketa."
19 "Mụ onwe m kwuru sị,

" 'Lee ka ọ ga-esi masị m imeso unu mmeso dịka unu bụ ụmụ m ndị ikom,
nye unu ala dị mma nke ga-ewetara unu ọṅụ,
nke bụ ihe nketa kachasị mma na mba niile.'
Ana m eche na unu ga-akpọ m 'Nna'
ma hapụ iwezuga onwe unu site n'ịgbaso m.
20 Ma dịka nwunye na-ekwesighị ntụkwasị obi,
i gosila onwe gị, O Izrel na ị bụ onye a na-ekwesighị ịtụkwasị obi"
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

21 A na-anụ ụzụ mkpu akwa n'elu ugwu.
Ọ bụ ụzụ akwa ụmụ Izrel ndị na-arịọ arịrịọ
n'ihi na ha ebiela ndụ mmehie;
ha echefuokwala ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ha.

22 "Lọghachinụ, unu bụ ndị na-adaghachi azụ.
Mụ onwe m ga-agwọ unu ndaghachi azụ unu."‡

Ma unu na-aza sị, "E, anyị na-alọghachikwute gị
n'ihi na gị onwe gị bụ ONYENWE ANYỊ Chineke anyị.

‡ **3:22** 3:22 Ga-eme unu ndị kwesiri ntụkwasị obi.

23 N'ezie, aghụghọ, ka mkpọtụ ofufe nke arụsị niile,
n'elu ugwu nta dị iche iche na n'elu ugwu niile bụ,
n'ezie, n'ime ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke anyị
ka nzọpụta Izrel dị.
24 Ma site mgbe anyị dị na nwantakịrị, ihe ihere ahụ eripịala
mkpụrụ sitere na ndọgbu n'ọrụ nke nna nna anyị ha
igwe anụ ụlọ na ehi ha,
ụmụ ha ndị ikom na ụmụ ha ndị inyom.
25 Ka anyị dinara ala n'ihere anyị,
ka ọnọdụ oke ihere dịrị anyị kpuchikwa anyị.
Anyị na nna nna anyị ha
emehiela megide ONYENWE ANYỊ Chineke anyị;
site mgbe anyị dị na nwantakịrị ruo taa
o nwebeghị mgbe anyị ji rube isi ime ihe ONYENWE ANYỊ Chineke anyị nyere n'iwu."

# 4

1 "Ọ bụrụ na unu bụ Izrel, ga-alọta, ka ONYENWE ANYỊ kwubiri,
mụ ka ị ga-alọghachikwute,"
"Ọ bụrụ na unu ewezuga arụsị ndị ahụ rụrụ arụ site n'ihu m,
hapụ isi ebe m nọ kpafuo,
2 ọ bụrụkwa na unu ga-eji eziokwu, ikpe ziri ezi na ụzọ ezi omume
ṅụọ iyi sị, 'Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ,'
mgbe ahụ mba niile ga-agọzi onwe ha site na ya
nyakwaa isi n'ime ya."
3 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ na-agwa ndị Juda na Jerusalem sị,
"Kọzeenụ ala ubi unu nke unu na-akọbeghị;
unu akụnyela mkpụrụ ubi unu n'etiti ogwu.
4 Bienụ onwe unu ugwu nye ONYENWE ANYỊ,
biekwanụ mkpụrụobi unu ugwu,
unu ndị Juda na ndị bi na Jerusalem
ma ọ bụghị otu a, iwe m ga-abịakwasị unu dịka ọkụ,
n'ihi ihe ọjọọ niile unu mere,
ọ ga-ere ma ọ dịkwaghị onye ga-emenyụ ya.

### *Mbibi si n'ugwu na-abịa*

5 "Kwupụta ya na Juda, kwusaa ya na Jerusalem sị,
'Fụọnụ opi n'ala ahụ niile.'
Tienụ mkpu n'ụzọ mmadụ ga-aghọta ya.
Gwanụ ndị Juda na Jerusalem ka ha zukọtaa
gbaga n'obodo ndị ahụ niile e wusiri ike.
6 Bulie ihe i gosi ụzọ ị ga Zayọn!
Gbaganụ zoo onwe unu. Unu atụfula oge!
Lee na mụ onwe m na-ewebata mbibi
na ịla n'iyi site n'akụkụ ugwu."

7 Dịka ọdụm si n'ebe o zoro onwe ya amapụta,
ka onye a na-ebibi mba niile si abịa.
Ọ hapụla ebe obibi ya,
na-abịa ịla Juda n'iyi.

Ọ ga-etidasị obodo niile nke Juda,
ọ dịkwaghị onye ga-ebi n'ime ha.
8 Ya mere, yikwasịnụ onwe unu uwe mkpe;
kwaanụ akwa, tiekwanụ mkpu akwa,
n'ihi na ọnụma ONYENWE ANYỊ esitebeghị
n'ebe Juda nọ wezuga onwe ya.

9 "N'ụbọchị ahụ," ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
"Obi ndị eze na ndịisi ọchịchị ga-ada mba;
ahụ ga-akpọnwụ ndị nchụaja,
otu a kwa, ihe ga-eme ga-eju ndị amụma anya."
10 Mgbe ahụ ekwuru m sị; "Ewoo, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ lee
na ị ghọgbuola ndị a na Jerusalem site na ị sị, 'Unu ga-enwe udo,' mgbe mma agha
dị anyị n'olu."
11 N'oge ahụ, a ga-agwa ndị a na Jerusalem, "Ifufe dị ọkụ, nke sitere n'ebe dị elu ihe
na-adịghị si n'ọzara na-efebata irute ndị m. Ma ọ bụghị ifufe maka ịfụcha, maọbụ
ime ka adị ọcha, 12 ọ bụ ifufe nke dị oke ike karịa nke na-esite na mụ. Ugbu a, ana
m ekwupụta okwu ikpe m megide ha."
13 Lee anya, ha na-abịa dịka igwe ojii.
Ụgbọala agha ya na-abịa dịka oke ifufe,
ịnyịnya ha niile na-agbasikwa ọsọ ike karịa ugo.
Ahụhụ dịrị anyị, anyị abụrụla ndị e bibiri ebibi! Anyị abụrụla ndị na-aga ịla n'iyi!
14 Jerusalem, sachapụ mmehie dị gị n'obi, ka a zọpụta gị.
Ruo ole mgbe ka echiche mmehie ga-ejupụta gị obi?
15 Otu olu na-akpọsa site na Dan,
ọ na-akpọsa ịla n'iyi site n'ugwu niile nke Ifrem.
16 "Gwa mba niile otu a, ha abịala,
kpọsaa banyere Jerusalem:
'Ndị agha ga-agba gị gburugburu na-abịa site n'ala dị anya,
na-eti mkpu agha megide obodo niile nke Juda.
17 Ha ga-agbakwa Jerusalem gburugburu dịka ndị agha na-eche ubi a gbara ogige nche,
n'ihi na ndị bi n'ime ya enupula isi megide m,' "
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
18 "Ụzọ gị na omume gị niile
buteere gị ihe ndị a.
Nke a bụ ntaramahụhụ gị.
Lee ka o si dị ilu!
Lee ka o si emibanye n'ime obi."

19 Ihe mgbu a dị ukwuu.
Lee na apụghị m ịnagide ya.
Obi m o, obi m o!
Lee ka obi m si ada m gbim gbim gbim.
Apụghịkwa m ịnọ jụụ.
Ana m anụ ụda opi ike,
na-anụkwa ụzụ agha.
20 Mbibi na-arị mbibi ibe ya elu,
lee na a laala ala a niile n'iyi.
Na mberede, e bibiela ụlọ ikwu anyị niile;

a dọkasịkwala akwa mgbochi ha niile.
21 Ruo ole mgbe ka m ga-anọgide na-ahụ ọkọlọtọ agha ndị a a na-alụ?
Ruo ole mgbe kwa ka m ga-anọgide na-anụ ụda opi ike?

22 “Ndị m bụ ndị nzuzu,
ha amaghị m.
Ha bụ ụmụntakịrị ndị na-enweghị uche,
ha enweghị nghọta ọbụla.
Ha bụ ọkachamara n’ihe gbasara ajọ omume,
ma ha amaghị otu esi eme ezi ihe ọbụla.”

23 Elere m anya n’ụwa
hụ na ọ bụ ihe tọgbọrọ n’efu,
leekwa anya na mbara eluigwe,
ma o nweghị ìhè dị ya.
24 Elere m anya n’ugwu ukwu,
hụ na ha na-ama jijiji,
leekwa anya n’ugwu nta, hụ na ha na-aṅagharị aṅagharị.
25 Elere m anya ma ahụghị mmadụ ọbụla,
ụmụ nnụnụ niile dị na mbara eluigwe efefusịala.
26 Ala ọma ahụ aghọọla ọzara,
obodo niile aghọọla mkputamkpu ebe
n’ihu Onyenwe anyị, n’ihu oke iwe ya.
27 Ihe a ka Onyenwe anyị kwuru,
“A ga-ebibi ala ahụ niile,
ma agaghị m ebibicha ya kpamkpam.
28 Ụwa ga-eru ụjụ,
mbara eluigwe ga-agbakwa ọchịchịrị.
N’ihi na ekwuola ya, agaghị m agbanwe obi m.
Ekpebiela m ya, agaghị m alakwa azụ n’ihe m zubere ime.”

29 Ndị mmadụ niile ga-agbapụ ọsọ site n’obodo ha
mgbe ha nụrụ ụzụ ndị agha na-agba ụta nọ n’elu ịnyịnya na-abịa nso nso.
Ha ga-ezo onwe ha n’ọhịa;
ndị ọzọkwa ga-agbalaga zoo onwe ha n’ugwu ukwu.
Obodo ha niile ga-atọgbọrọkwa n’efu,
mgbe ndị mmadụ si n’ime ya gbapụ ọsọ n’ihi oke ihe egwu.

30 Gịnị bụ nke a, gị onye na-enweghị olileanya?
Gịnị mere unu ji yiri uwe uhie,
were ọlaolu ọlaedo dị oke ọnụ yiri n’olu?
Gịnị mere unu ji were ihe ịchọ mma tee n’anya unu?
N’efu ka unu na-eme onwe unu ka unu dị mma.
Ndị iko unu na-eleli unu;
ndụ unu ka ha na-achọkwa.

31 Ana m anụ olu iti mkpu akwa nke yiri olu akwa nwanyị ime na-eme,
ọ dị ka ude nwanyị na-agbalị ịmụpụta nwa mbụ ya.
Ma olu akwa m nụrụ bụ nke ada Zayọn, ebe ọ nọ na-eku ume ike ike.
Ọ dara n’ala gbasapụ aka ya, ma na-akwa akwa na-asị,
“Onye nwụrụ anwụ ka m bụ!

Lee, ndụ m ka e nyere ndị ogbu mmadụ."

# 5

*O nweghị onye na-eme ezi ihe*

1 "Jeghariạ n'okporoụzọ niile dị na Jerusalem,
legharịa anya, ma mara,
chọkwanụ gburugburu n'ama ya niile.
Ma unu ọ ga-achọpụta otu onye,
bụ onye na-eme ihe ziri ezi, na onye na-achọ eziokwu.
M ga-agbagharakwa obodo a
2 Ọ bụ ezie, na ha na-asị, 'Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ,'
ma ha ka na-aṅụ iyi n'okwu ụgha."

3 ONYENWE ANYỊ, anya gị abụọ ọ bụghị eziokwu ka ọ na-achọ?
Ị tiela ha ihe, ma o metụghị ha n'ahụ.
I gwepịara ha, ma ha ekweghị a nabata ịdọ aka na ntị.
Ha emeela ka ihu ha sie ike karịa nkume,
ha ajụla ịchịghari.
4 Mgbe ahụ, a sịrị, "Ndị a bụ naanị ndị ogbenye
na ndị na-enweghị uche,
ha amaghị ihe ọbụla gbasara ụzọ ONYENWE ANYỊ,
na iwu nke Chineke ha.
5 Aga m ejekwuru ndị ndu,
gwa ha okwu sị,
n'ezie ha maara ihe gbasara ụzọ ONYENWE ANYỊ,
marakwa iwu niile nke Chineke ha."
Ma ha onwe ha n'otu obi agbajiela ịyagba ahụ,
tijiekwa agbụ niile.
6 Ya mere, aga m eme ka ọdụm si n'oke ọhịa bịa lụso ha ọgụ;
nkịta ọhịa bi n'ọzara ga-ebibi ha.
Otu a kwa, agụ ga-abịa makpuru nso nso obodo ha
ịdọkasị onye ọbụla si n'ime obodo ahụ na-apụta.
Ihe ndị a ga-emezu n'ihi na nnupu isi ha adịla ukwuu,
na n'ihi na ndaghachi azụ ha site na iso ụzọ m adịla ukwuu.

7 "N'ihi gịnị ka m ga-eji gbaghara unu?
Lee na ụmụ unu ahapụla m,
na-agbaso, ma na-eji chi ndị na-abụghị chi na-aṅụ iyi.
Ọ bụ m gbooro ha mkpa ha,
ma ha nọgidere na-akwa iko.
Ha jikwa ụlọ ndị akwụna mere ebe ha na-ezukọ.
8 Ha rijuru afọ, gbaa abụba dị ka oke ịnyịnya.
Onye ọbụla n'ime ha kwa na-esigharị imi na-akpọku nwunye na-abụghị nke ya.
9 Ma ONYENWE ANYỊ na-ajụ ajụjụ sị,
m ga-ahapụ ịta ha ahụhụ n'ihi ihe ndị a niile?
M ga-ahapụ ịbọtara mkpụrụobi m ọbọ
megide mba dị otu a?"

10 "Baanụ n'ime ubi vaịnị ha a gbara ogige kposaa ihe dị n'ime ya,
ma unu emebila ya kpamkpam.
Gbajisienụ alaka ya

n’ihi na o nweghị oge ndị a ji bụrụ ndị nke ONYENWE ANYỊ.
11 ONYENWE ANYỊ ekwuola ya sị, Lee, ụlọ Izrel na ụlọ Juda
egosila na ha abụghị ndị e kwesiri ịtụkwasị obi.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

12 Ha ekwuola okwu ụgha megide ONYENWE ANYỊ.
E, ha ekwuola sị, “O nweghị ihe Ọ ga-eme!
Ihe ọjọọ ọbụla agaghị adakwasị anyị;
mbibi nke ụnwụ na mma agha na-eweta agaghị erute anyị nso.
13 Ndị amụma ndị a niile dịka ikuku,
nke okwu nwere isi na-adịghị n’ime ha.
Ya mere, ka ihe ahụ niile ha buru n’amụma bịakwasị ha.”
14 N’ihi ihe ndị a niile, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile
kwuru,
“N’ihi na okwu ndị a esitela n’ọnụ ndị a pụta,
aga m eme ka okwu m, nke si gị n’ọnụ na-apụta, ghọọ ọkụ.
Aga m emekwa ka ndị a ghọọ nkụ ọkụ ahụ ga-erepịa.
15 Unu bụ ndị Izrel,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri,
“Aga m eme ka otu mba si n’ebe dị anya bịa megide unu.
Ọ bụ mba na-adị site na mgbe ochie, mba dị ike,
nke unu na-adịghị anụ asụsụ ha,
ndị unu na-adịghị aghọta okwu ha.
16 Akpa àkụ ha dịka ili ghere oghe;
ha niile bụkwa ndị dike n’agha.
17 Ha ga-eripịa ihe niile unu wetara n’ubi, ya na nri niile unu nwere.
Ha ga-ebibi ụmụ unu ndị nwoke na ndị nwanyị.
Ha ga-ebibi igwe ewu na atụrụ unu, na igwe ehi unu.
Ha ga-ebibikwa osisi vaịnị na osisi fiig unu.
Ọ bụ mma agha ha ka ha ga-eji bibie obodo unu niile e wusiri ike,
bụ obodo ndị ahụ niile unu na-atụkwasị uche.
18 “Ma ọ bụladị na n’ụbọchị ndị ahụ,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara, “Agaghị
m ebibicha unu kpamkpam. 19 Ọ ga-erukwa, mgbe ndị mmadụ ga-ajụ ajụjụ sị, ‘Gịnị
mere ONYENWE ANYỊ Chineke anyị ji mee anyị ihe dị otu a?’ Unu ga-agwa ha sị, ‘Dịka
unu si gbakụta ya azụ malite ife chi ndị mba ọzọ n’ala nke aka unu, otu a ka unu
ga-esi kpọọ isiala nye ndị mba ọzọ n’ala na-abụghị nke unu.’
20 “Kwupụta ihe a ka ụlọ Jekọb nụrụ ya,
kwusaa ya na Juda.
21 Nụrụnụ ihe ndị a, unu ndị nzuzu na ndị na-enweghị uche,
unu ndị nwere anya nke na-adịghị ahụ ụzọ,
na unu ndị nwere ntị nke na-adịghị anụ ihe.
22 Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara, na-ajụ sị,
o kwesighị ka unu tụọ m egwu?”
“O kwesighị ka unu maa jijiji n’ihu m?
Emeela m ka uzuzu bụrụ oke osimiri nwere.
Ọ bụkwa ụkpụrụ ebighị ebi nke ọ na-enweghị ike ịgafe.
Ebili mmiri nwere ike magharịa, ma nke a apụghị ime ka osimiri si n’ọnọdụ ya wezuga onwe ya.
Osimiri nwere ike bigbọọ, ma ọ pụghị ịgafe oke ahụ.
23 Ma ndị a nwere obi nke na-enupu isi, na obi nke na-adịghị ekwe ekwe.
Ha atụgharịala wezuga onwe ha.
24 Ha adịghị asị onwe ha,

‘Ka anyị tụọ egwu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị,
onye na-enye anyị mmiri ozuzo n’oge ya,
ọ bụkwa ya na-eme ka anyị na-ewebata ihe ubi anyị n’oge ya.’
25 Ajọ omume unu emeela ka ihe ndị a hapụ irute unu aka.
Mmehie unu anapụla unu ihe ọma gaara abụ nke unu.

26 “E nwere ndị ajọ mmadụ n’etiti ndị m,
ndị na-edo onwe ha dịka ndị mmadụ na-esiri nnụnụ ọnya,
dịka ndị na-esi ọnya ka ha nwude mmadụ.
27 Dịka nkata a kpara nke nnụnụ jupụtara n’ime ya,
ụlọ ndị dị otu a jupụtara n’aghụghọ.
N’ihi nke a, ha ghọrọ ndị ọgaranya na ndị dị ike,
28 ha amaala abụba, anụ ahụ ha na-akwọkwa mụrụmụrụ.
Ajọ ọrụ ha enweghị nsọtụ;
ha adịghị achọkwa ikpe ziri ezi.
Ha adịghị ekwuchite ọnụ onye na-enweghị nna;
ha adịghị ekwuchitekwa ọnụ ndị ogbenye ime ka ha nweta ihe ruuru ha.
29 M ga-ahapụ ịta ha ahụhụ n’ihi ihe ndị a niile?”
ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara, na-ajụ.
“M ga-ahapụ ịbọrọ onwe m ọbọ
megide mba dị otu a?

30 “Ihe ọjọọ nke jọbigara njọ oke
emeela n’ala a.
31 Lee, ndị amụma na-ebu naanị amụma ụgha,
ndị nchụaja na-achịkwa ndị m site n’ọchịchị nke n’aka ike,
ma lee, ndị m hụrụ ndụ dị otu a n’anya.
Gịnịkwa ka unu ga-eme n’oge ikpeazụ.”

# 6

*Ndị iro agbaa Jerusalem gburugburu*

1 “Gbalaganụ unu ụmụ Benjamin!
Sitenụ na Jerusalem gbapụ!
Gbuonụ opi ike na Tekoa!
Bulienụ ihe ngosi elu na Bet-Hakerem!
N’ihi na lee, ihe ọjọọ si n’akụkụ ugwu na-abịa,
e, mbibi dị ukwuu na-abịa.
2 Aga m ebibi ada Zayọn,
onye mara ezi mma, na onye dịkwa pekepeke.
3 Ndị na-azụ atụrụ ga-eduru igwe atụrụ bịa megide ya.
Ha ga-ama ụlọ ikwu ha gburugburu ya.
Onye ọbụla n’ime ha ga-elekọtazi akụkụ ala nke o ketara anya nke ọma.

4 “Jikerenụ ibu agha megide ya!
Bilienụ, ka anyị buso ha agha n’ehihie.
Ma lee, anyanwụ ebidola ịda,
onyinyo anyasị na-esetipụkwa onwe ya.
5 Ya mere, bilienụ ka anyị buso ha agha, ọ bụladị n’abalị!
Ka anyị bibie ebe ha niile e wusiri ike!”
6 Ihe ndị a bụ ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, kwuru,

“Gbutusienụ osisi niile,
wuonụ nkwasa ọgụ gburugburu Jerusalem.
A ghaghị ịta obodo a ahụhụ,
n’ihi na mmegbu jupụtara n’ime ya.
7 Dịka mmiri si esite n’olulu mmiri na-asọpụta
otu a ka ajọ omume na-esite n’ime ya na-asọpụta.
Ihe ike na mbibi ka a na-anụ n’ime ya;
ọrịa ya niile na ọnya ya niile ka a na-eche n’ihu m oge niile.
8 Nabata ịdọ aka na ntị m, gị Jerusalem,
ka m ghara ịgbakụta gị azụ,
mee ka ala gị tọgbọrọ n’efu,
ka mmadụ ọbụla hapụkwa inwe ike ibi n’ime ya.”
9 Nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru,
“Ka ha tụtụkọtasịa ndị niile fọdụrụ n’ala Izrel nke ọma,
dịka e si atụtụkọta mkpụrụ niile dị n’osisi vaịnị;
werenụ aka chọgharịa n’alaka niile,
dịka onye ọghọ mkpụrụ vaịnị si eme.”

10 Ma onye kwanụ ka m nwere ike ịgwa okwu ma dọọ aka na ntị?
Onye ga-ege ntị ịnụrụ ihe m na-ekwu?
Ntị ha emechiela
ruo na ha enweghị ike ịnụ ihe ọbụla.
Okwu ONYENWE ANYỊ aghọọla ihe ha na-achọghị ịnụ ọzọ;
nke na-adịghị ewetara ha obi ụtọ.
11 Ma ọnụma ONYENWE ANYỊ juru m obi,
apụghị m ịnagide ya n’ime m.

“Wụkwasị ya n’ahụ ụmụntakịrị ndị nọ n’okporoụzọ;
wụkwasịkwa ya ụmụ okorobịa ebe ha zukọrọ.
Ọ bụladị di na nwunye ga-anụrụ ụfụ ọnụma ahụ,
ndị agadi na ndị ahụ merela nnọọ ezigbo agadi.
12 A ga-ewere ụlọ ha nyefee n’aka ndị ọzọ.
A ga-ewerekwa ala ubi ha na ndị nwunye ha nye ndị ọzọ,
*mgbe m setịpụrụ aka m
megide ndị ahụ bi n’ala ahụ.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
13 “N’ihi na site n’onye ukwu ruo n’onye dịkarịsịrị nta,
ọ bụ naanị akpịrị uru na-ezighị ezi ka e ji mara ha.
Ọ bụladị ndị amụma na ndị nchụaja
na-etinyekwa aka n’ọrụ aghụghọ.
14 Ha na-ekechi ọnya ndị m,
dịka a ga-asị na ọ dịghị ihe ọ bụ.
Ha na-asị, ‘Udo dị, udo dị,’
mgbe udo na-adịghị.
15 O nwere ụzọ omume ha ndị a rụrụ arụ si eme ha ihere?
Mba! Ihere adịghị eme ha ma ọlị.
N’ezie, ha amakwaghị ihe a na-akpọ inwe ihere!
N’ihi ya, ha ga-ada n’etiti ndị dara ada.
Ha ga-asọ ngọngọ mgbe m tara ha ahụhụ.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru.

* **6:12** 6:12 Ee, ihe ndị a ga-emezu

16 Ihe ndị a kwa bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Guzonụ n'ebe niile ụzọ gbara abụọ. Lee anya.
Jụọnụ ajụjụ banyere okporoụzọ ochie ahụ.
Jụpụtanụ ebe ụzọ ọma ahụ dị, jeenụ ije n'ime ya.
Unu gbaso ya, unu ga-achọtara mkpụrụobi unu ebe izuike.
Ma gịnị ka unu kwuru? Unu sịrị. 'Anyị agaghị agbaso ụzọ ọma ahụ.'
17 Ahọpụtara m ndị nche doo ha ichebe unu. Agwakwara m unu okwu sị,
'Ṅaanụ ntị n'ụda opi ike ha.'
Ma unu kwuru sị, 'Anyị agaghị ege ntị!'
18 Ya mere, nụrụnụ, unu mba niile;
lezienụ anya, unu ndị akaebe niile,
ka unu hụrụ ihe na-aga ịbịakwasị ha.
19 Nụrụ, gị ụwa, lee,
ana m aga iwetara ndị a ịla n'iyi,
nke bụ mkpụrụ atụmatụ ọjọọ ha niile,
n'ihi na ha jụrụ ige ntị n'okwu m.
Ha jụkwara ịnabatara onwe ha iwu m.
20 Gịnị ka m ji ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nke unu si n'obodo Sheba bubata, eme?
Gịnị ka m ji ụda kalamus ọma unu si mba dị anya bubata eme?
Ajụla m ịnabata aja nsure ọkụ unu niile.
Aja niile unu na-achụ adịghị atọ m ụtọ."
21 Ya mere, ihe ndị a bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Aga m etinye ihe ịsọ ngọngọ n'ụzọ ndị a si agafe.
Nna na nwa ya ga-asọ ngọngọ n'elu ya;
otu a kwa, ndị agbataobi na enyi ha ga-ala n'iyi."
22 Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Lee, ndị agha si n'ala
dị n'ebe ugwu na-abịa;
mba dị ukwuu ka a na-akpọlitekwa
site na nsọtụ niile nke ụwa.
23 Ha ji ụta na ùbe,
ha bụ ndị afọ tara mmiri, ndị na-adịghị eme obi ebere.
Ha na-ebigbọ dịka mbigbọ nke osimiri,
dịka ha na-anọkwasị n'elu ịnyịnya ha.
Ha na-abịa dịka ndị ikom e doro n'usoro ibu agha,
ibuso gị agha, Ada Zayọn."

24 Anyị anụla akụkọ banyere ude ha,
ike agwụla aka anyị† abụọ kpamkpam.
Oke ihe mgbu na-ejide anyị
dị ka nke nwanyị ime na-eme.
25 Ka onye ọbụla gharakwa ịga n'ubi,
maọbụ ijegharị n'okporoụzọ,
n'ihi na ndị iro ji mma agha na-agagharị,
egwu dịkwa n'ebe niile.
26 Unu ndị m, yikwasịnụ onwe unu uwe mkpe.
Tụrụọnụ onwe unu na ntụ,
ruonụ uju, ma kwaanụ akwa,
dịka nwanyị na-eru ụjụ n'ihi ọnwụ otu nwa nwoke ọ mụtara.

† **6:24** 6:24 Ya bụ, akụdawo

N’ihi na onye mbibi ahụ
ga-abịakwasị anyị na mberede.

27 “Emeela m gị ka ị bụrụ onye na-anwapụta ọla,
ma ọla ahụ bụkwa ndị m.
Achọrọ m ka i nyochaa
ma nwapụtakwa ụzọ ha niile.
28 Ha bụ ndị nnupu isi, ndị nwere obi n’azụ,
ndị na-ejeghari na-ekwutọ ibe ha.
Ha bụ bronz na igwe;
ọ bụkwa ndụ rụrụ arụ ka ha na-ebi.
29 Ngwa ọrụ ọkpụ uzu na-afụnwu ọkụ ike ike,
ime ka ọkụ rechapụ akụkụ igwe ahụ na-enweghị isi,
ma nnụcha ahụ na-aga n’ihu abaghị uru,
n’ihi na anụchapụghị ndị ajọ omume.
30 Ọlaọcha a jụrụ ajụ ka akpọrọ ha,
n’ihi na Onyenwe anyị ajụla ha.”

# 7

*Enweghị isi nke okpukpe aghụghọ*

1 Ndị a bụ okwu nke sị n’ebe Onyenwe anyị nọ bịakwute Jeremaya. 2 “Guzo n’ọnụ
ụzọ ama nke ụlọ Onyenwe anyị kwusaa ozi a n’ebe ahụ,
“ ‘Nụrụnụ okwu Onyenwe anyị, unu ndị Juda niile, ndị na-esi n’ọnụ ụzọ a niile na-
abata ife Onyenwe anyị ofufe. 3 Ihe ndị a bụ ihe Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe
niile, bụ Chineke Izrel na-ekwu. Mezienụ ụzọ unu na omume unu niile, m ga-ekwe
ka unu biri n’ebe a. 4 Unu atụkwasịla uche unu n’okwu aghụghọ niile a na-agwa unu
na-asị, “Nke a bụ ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị, ụlọnsọ
ukwu Onyenwe anyị!” 5 Ọ bụrụ na unu emee ka ụzọ unu na omume unu guzozie,
ọ bụrụ na unu emesoo ibe unu mmeso n’ụzọ ikpe ziri ezi, 6 ọ bụrụ na unu ahapụ
imegbu ndị ọbịa, na ndị na-enweghị nna, maọbụ nwanyị di ya nwụrụ; ọ bụrụ na
unu ajụ iwufu ọbara onye aka ya dị ọcha n’ebe a, ọ bụrụkwa na unu ajụ ịgbaso chi
ndị ọzọ nke na-ewetara unu nsogbu, 7 mgbe ahụ, aga m ekwere ka unu biri n’ebe a,
n’ala a m nyere nna nna unu ha, ruo mgbe ebighị ebi. 8 Ma lee, ihe unu na-eme ugbu
a bụ ịtụkwasị uche unu n’okwu aghụghọ nke na-enweghị isi.
9 “ ‘Unu ga-aga n’ihu na-ezu ohi, na-egbu mmadụ ibe unu, na-akwa iko, ma na-eji
chi ndị ọzọ na-aṅụ iyi? Unu ga-anọgide na-achụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye
Baal, ma na-agbaso chi ndị ọzọ unu na-amaghị? 10 Unu ga-emecha bịa guzo n’ihu
m n’ụlọnsọ a, nke a kpọkwasịrị aha m, na-asị, “Anyị nọ na nchekwa,” ọ bụ ịnọ na
nchekwa maka ime ihe arụ niile ndị a? 11 Ọ pụtara na ụlọ a, nke a kpọkwasịrị aha
m aghọọla ogige nye ndị ohi? Ma anọkwa m ya na-ele unu anya, ka Onyenwe anyị
kwupụtara.
12 “ ‘Otu ọ dị, biko, Jeruonụ ebe ahụ dị na Shaịlo, ebe ahụ m buru ụzọ mee ka ọ
bụrụ ebe a kpọkwasịrị aha m, ka unu chọpụta ihe m mere ya n’ihi ajọ omume ndị
m, ụmụ Izrel. 13 Mgbe unu nọ na-eme ihe ndị a niile, ka Onyenwe anyị kwupụtara,
agwara m unu okwu mgbe mgbe, ma unu jụrụ ige ntị. Akpọrọ m unu oku, ma unu
jụrụ ịza. 14 N’ihi ya, ihe ahụ m mere na Shaịlo ka m ga-emekwa ọzọ megide ụlọ ahụ
a kpọkwasịrị aha m. E, aga m eme ya megide ụlọnsọ ukwu ahụ unu na-atụkwasị
obi unu n’ime ya, ụlọnsọ ukwu ahụ m nyere unu na nna nna unu ha. 15 A ga-esite
n’ihu m wezuga unu, tufuo unu, dịka m wezugara ma tufukwaa ụmụnna unu, bụ ndị
Ifrem.’

16 “Ya mere, unu ekperela m ekpere n’ihi ndị a; unu atụfula oge unu ịrịọ m arịrịọ
n’ihi ha. Agaghị m ege ntị n’ekpere na arịrịọ unu. 17 Ọ bụ na unu adịghị ahụ ihe
na-eme n’obodo niile nke Juda, na ihe ha na-eme n’okporoụzọ niile nke Jerusalem?
18 Ụmụ na-achịkọta nkụ nke nna ha ji emenye ọkụ, ebe nne ha na-eghe achịcha ha
na-eche n’ihu Eze nwanyị mbara Eluigwe. Ha na-awụpụrụ chi ndị ọzọ mmanya n’ihi
ịkpasu m iwe. 19 Ọ bụ m ka ha na-akpasu iwe? Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
Ọ bụghị onwe ha ka ha na-emesi ike, ka ihe ihere mee ha?
20 “ ‘Ya mere, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị: Iwe m
na ọnụma m ka a ga-awụkwasị n’ebe a, n’elu ndị mmadụ, na anụmanụ, na osisi dị
n’ọhịa, na mkpụrụ nke ala ubi. Ọ ga-ere ọkụ ma agaghị emenyụ ya.
21 “ ‘Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru,
Gaanụ n’ihu, tụkwasịnụ aja nsure ọkụ unu n’elu aja unu ndị ọzọ niile. Riekwanụ
anụ ndị a n’onwe unu. 22 N’ihi na mgbe m si n’ala Ijipt kpọpụta nna nna unu ha, gwa
ha okwu, e nyeghị ha naanị iwu maọbụ gwa ha okwu banyere ịchụ aja nsure ọkụ
na aja ndị ọzọ. 23 Ma iwu m nyere ha bụ nke a, ruberenụ m isi, aga m abụ Chineke
unu, unu ga-abụkwa ndị nke m. Bienụ ndụ n’iwu niile m nyere unu, ka ihe gaara
unu nke ọma. 24 Ma ha jụrụ ige ntị, jụkwa ilezi anya ime ihe ndị ahụ m nyere n’iwu.
Kama ha gbasoro ọchịchọ ọjọọ nke obi rụrụ arụ ha. Kama ịga n’ihu, ha daghachiri
azụ. 25 Site na mgbe nna nna unu ha hapụrụ ala Ijipt, esepụbeghị m aka izitere unu
ndị amụma bụ ndị ohu m. 26 Ma ha jụrụ ige ntị, jụkwa ilezi anya ime ihe m nyere
n’iwu. Ha bụ ndị ntị ike, ndị nọgidere na-eme ihe ọjọọ karịrị nke nna nna ha mere.’
27 “Mgbe ị gwara ha ihe ndị a niile, ha agaghị ege ntị. Ọ bụrụkwa na ị kpọọ ha oku
ha agaghị aza. 28 Ya mere, ihe ndị a ka ị ga-agwa ha, ‘Nke a bụ mba na-enwebeghị oge
ha ji rubere ONYENWE ANYỊ Chineke ha isi. O nwebekwaghị oge ọbụla ha ji nabata
ịdọ aka na ntị ya. Eziokwu ọbụla adịghịkwa; okwu ọnụ ha bụ naanị ụgha ụgha.
29 “ ‘Kpụchaanụ agịrị isi unu, tufuo ya, nọọnụ n’ebe dị elu nke tọgbọrọ n’efu bulie
abụ akwa, n’ihi na ONYENWE ANYỊ esitela n’oke ọnụma ya jụ ọgbọ a. Ọ gbakụtala ha
azụ bụ ọgbọ nke a iwe ya na-adakwasị.

### *Ndagwurugwu ogbugbu mmadụ*

30 “ ‘ONYENWE ANYỊ kwupụtara sị, ndị Juda emeela ihe ọjọọ dị iche iche n’ihu m.
Ha akpụọla arụsị rụrụ arụ nke ha tinyere n’ime ụlọnsọ ukwu ahụ a kpọkwasịrị aha
m. Ha emerụọla ya. 31 Ha ewuolara onwe ha ebe ịchụ aja dị elu na Tofet, nke dị
na Ndagwurugwu nke Ben Hinom. Ebe ahụ ka ha na-anọ na-esure ụmụ ha ndị ikom
na ndị inyom ọkụ. Ihe dị otu a abụkwaghị ụdị ihe m nyere ha n’iwu ka ha mee. O
nwekwaghị oge ihe dị otu a batara m n’obi. 32 Ya mere, kpacharanụ anya, n’ihi na
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, ụbọchị ndị ahụ na-abịa, mgbe ndị mmadụ na-agaghị
akpọkwa ebe ahụ Tofet maọbụ Ndagwurugwu nke Ben Hinom. Kama ha ga-akpọ ya
ndagwurugwu ogbugbu mmadụ, n’ihi na ha ga-eli ọtụtụ ndị ha na Tofet ruo mgbe
ha na-agaghị ahụkwa ebe ha ga-eli ndị fọdụrụ. 33 Mgbe ahụ, ozu ndị mmadụ ndị a
ga-aghọrọ ụmụ anụ ufe na anụ ọhịa ihe oriri. O nwekwaghị onye ga-anọ menye ha
egwu chụpụ ha. 34 Mgbe ahụ, aga m eme ka ụzụ ọṅụ na obi ụtọ, na olu ndị ikom na
ndị inyom na-alụ di na nwunye n’obodo niile nke Juda, na n’okporoụzọ Jerusalem
kwụsị. Ala ahụ ga-aghọkwa ebe tọgbọrọ n’efu.

## 8

1 “ ‘Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara, n’oge ahụ a ga-esi n’ili ha wezuga ọkpụkpụ
ndị eze, na ọkpụkpụ ndịisi ọchịchị Juda, na ọkpụkpụ ndị nchụaja na ndị amụma, na
ọkpụkpụ ndị niile bi na Jerusalem. 2 A ga-agbasapụ ha nye anyanwụ, na ọnwa, na
kpakpando niile nke mbara eluigwe, bụ ihe ndị ahụ niile ha hụrụ n’anya na ihe ha
na-akpọ isiala nye. Bụkwa ihe ndị ahụ ha na-agbaso, nke ha na-ajụta ase site n’aka

ha, na-efekwa. A gaghị ekpokọta ọkpụkpụ ndị a niile, maọbụ lie ha n’ala. Kama ha
ga-aghasara n’ala dịka unyi. 3 N’ebe niile nke m chụsara ha, bụ ndị fọdụrụ ndụ site
na mba ọjọọ a, ha ga-ahọrọ ọnwụ karịa ịdị ndụ. Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ
ime ihe niile kwubiri.’

*Mmehie na ahụhụ*

4 “Ị ga-asịkwa ha, ‘Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru:
“ ‘Mgbe mmadụ dara ada, ọ dịghị ebili ọtọ?
Mgbe mmadụ daghachiri azụ, ha ọ dịghị alaghachi azụ?
5 Gịnịkwa mere ndị a ji tụgharịa site n’ịgbaso ụzọ ọjọọ ha?
Gịnị mere Jerusalem ji nọgide na-agbaso ụzọ ọjọọ?
Lee, ha na-ejidesi aghụghọ aka ike;
ha jụrụ ịtụgharị.
6 Aṅaala m ntị,
ma anụbeghị m ka ihe ọma ọbụla si ha n’ọnụ na-apụta.
O nweghị onye n’ime ha chegharịrị tie aka n’obi sị,
“Gịnị bụ ihe a m mere?”
Kama onye ọbụla na-agbaso ụzọ nke aka ya,
dịka ịnyịnya nke na-agbaba n’ọgbọ agha.
7 Ọ bụladị ụgbala na-efegharị na mbara eluigwe
maara oge ya a kara aka.
Nduru, na eleke, na okwolo
makwaara mgbe ha kwesiri isite n’otu ebe obibi ha gafee n’ebe obibi ọzọ.
Ma ndị m amaghị
ihe ONYENWE ANYỊ chọrọ site n’aka ha.

8 “ ‘Unu si aṅaa kwuo, “Ndị maara ihe ka anyị bụ,
n’ihi na iwu ONYENWE ANYỊ dị n’aka anyị,”
ebe ọ bụ na mkpisi akwụkwọ aghụghọ ndị ode akwụkwọ unu
adịghị akọwa iwu ya otu o kwesiri?
9 A ga-eme ka ihere mee ndị maara ihe;
a ga-eme ka ụjọ jupụta ha obi, meekwa ka ha maa n’ọnya.
Ebe ọ bụ na ha ajụla okwu ONYENWE ANYỊ,
ọ bụ ụdị amamihe dị aṅaa ka ha nwere?
10 Ya mere, aga m akpọnye ndị ikom ọzọ nwunye ha,
werekwa ubi ha nyefee n’aka ndị ọrụ ubi ọzọ.
N’ihi na site n’onye ukwu ruo n’onye dịkarịsịrị nta,
ọ bụ naanị akpịrị uru na-ezighị ezi ka e ji mara ha.
Ọ bụladị ndị amụma na ndị nchụaja
na-etinyekwa aka n’ọrụ aghụghọ.
11 Ha na-ekechi ọnya ndị m
dịka a ga-asị na ọ dịghị ihe ọ bụ.
Ha na-asị, “Udo dị, udo dị,”
mgbe udo na-adịghị.
12 Ihere o mere ha n’ihi omume arụ ha niile?
Mba! Ihere adịghị eme ha ma ọlị;
n’ezie, ha amakwaghị ihe a na-akpọ inwe ihere.
N’ihi ya, ha ga-ada n’etiti ndị dara ada;
ha ga-asọ ngọngọ mgbe e nyere ha ntaramahụhụ.
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru.

13 “ ‘Aga m anapụ ha ihe owuwe ubi niile ha nwetara,

otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
Ha agaghị enwekwa mkpụrụ vaịnị,
maọbụ mkpụrụ osisi fiig n’elu osisi fiig ha.
Akwụkwọ osisi ndị a niile ga-akpọnwụ.
A ga-anapụkwa ha
ihe niile m nyere ha.’ ”

14 Gịnị ka unu na-eme n’ebe a unu nọdụrụ ala?
Kwakọtaanụ ihe unu niile.
Ngwa, ka anyị gbapụnụ ọsọ gaa n’obodo ndị ahụ niile e wusiri ike
nọdụ n’ebe ahụ nwụọ!
N’ihi na ONYENWE ANYỊ Chineke anyị amaala anyị ikpe ọnwụ.
O nyela anyị mmiri e tinyere nsi ka anyị ṅụọ,
n’ihi na anyị emehiela megide ya.
15 Anyị lere anya udo,
ma o nweghị ihe ọma ọbụla anyị hụrụ.
Anyị lere anya ọgwụgwọ ọrịa anyị,
maọbụ naanị ihe egwu ka anyị hụrụ.
16 E sitere na Dan
nụ ụda ịma imi ịnyịnya ndị iro.
Ala a niile mara jijiji
mgbe ha nụrụ akwa nke ịnyịnya ndị ahụ dị ike.
Ha na-abịa ịla ala a na ihe niile dị n’ime ya n’iyi.
Ọ bụkwa otu ihe ahụ ka ha
na-abịa ime obodo a na ndị bi n’ime ya.

17 “Lee, ana m ezibata agwọ ọjọọ, ndị na-atagbu atagbu, n’etiti unu.
Ajụala nke ọ dịkwaghị ụra ga-arata ha.*
Ana m ezibata ha ka ha taa unu.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

18 Ọ ga-adị mma ma ọ bụrụ na m hụrụ onye ga-akasị m obi n’ime ọnọdụ iru ụjụ m,
n’ihi na obi m na-ada mba n’ime m.†
19 Gee ntị nụrụ akwa ndị m
ka ọ na-ada site n’ebe dị anya.
“ONYENWE ANYỊ, ọ sitela na Zayọn pụọ?
Ọ pụtara na Eze ha anọkwaghị n’ebe ahụ?”

“Gịnị mere ha ji site n’oyiyi a tụrụ atụ,
na arụsị ndị mba ọzọ ha na-efe kpasuo m iwe?”

20 “Oge owuwe ihe ubi agafeela,
leekwa na ọkọchị agabigakwala,
ma a zọpụtabeghị anyị.”

21 Ebe ọ bụ na a zọpịara ndị m, ọ bụkwa m ka azọpịara.
Anam eru ụjụ, oke egwu jisikwara m aka ike.
22 Ọ pụtara na o nweghị mmanụ otite na-eme ka ọnya laa dị na Gilead?
Ọ bụ na e nwekwaghị dibịa nọ n’ebe ahụ?

---

* **8:17** 8:17 Ihe pụrụ ime na ha agaghị ata unu † **8:18** 8:18 Maọbụ, Unu ndị na-akasị m obi n’ime ọnọdụ iru ụjụ m, obi m na-ada mba n’ime m.

Gịnị mere o nweghị ọgwụgwọ dịrị ndị m
n'ihi mmerụ ahụ ha niile?

# 9

1 Ọ gaara adị m mma ma a sị na isi m bụ isi iyi, ebe mmiri si asọpụta;
ọ gaara adị m mma ma a sịkwa na anya mmiri akwa jupụtara m n'anya.
Agaara m akwagide akwa ehihie na abalị
n'ihi ndị m niile e gburu egbu.
2 Ọ gaara adị m mma
ma a sị na m nwere ụlọ ndị ije e wuru n'ime ọzara.
Ka m nwee ike hapụ ndị m
site n'ebe ha nọ pụọ.
N'ihi na ha niile bụ ndị na-akwa iko,
igwe ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi.

3 "Ha na-ekwe ire ha dịka ụta,
ịgbapụ okwu ụgha dịka àkụ;
Ọ bụghị site n'eziokwu
ka ihe ji agara ha nke ọma n'ala ahụ.
Ha na-esite n'otu mmehie gaa n'ọzọ;
ọ dịkwaghị mgbe ha ji mara m,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
4 "Lezie anya, gbaara enyi gị ọsọ.
Atụkwasịkwala nwanne gị obi.
N'ihi na nwanne ọbụla na-aghọ aghụghọ.
Ndị enyi niile bụkwa ndị nkwutọ.
5 Enyi na-aghọgbu enyi ya,
ọ dịkwaghị onye na-agwa ibe ya eziokwu.
Ha azụọla ire ha ikwu naanị okwu ụgha;
ha emeekwala ka ike gwụ anụ ahụ ha ime mmehie.
6 I bi n'etiti aghụghọ.*
Ha jụkwara ịmara m n'ime aghụghọ ha."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
7 Ya mere, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru,
"Lee, aga m anụcha ha, nwaa ha ọnwụnwa.
Gịnị ọzọ ka m kwesiri ime
n'ihi mmehie ndị m?
8 Ire ha na-egbu dịka àkụ.
Ọ bụ naanị okwu aghụghọ si na ya apụta.
Ha ji ọnụ ha na-agwarịta ibe ha okwu udo,
ma n'ime obi ha, ha na-esirịtara onwe ha ọnya igbudu."
9 Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara sị,
"M ga-aghara ịta ha ahụhụ n'ihi ihe ndị a niile?
M ga-ahapụ ịbọrọ onwe m ọbọ
megide mba dị otu a?"

10 Aga m anọ n'elu ugwu ukwu kwa akwa.
N'ebe ahụ ka m ga-anọ kwaa ụwa m n'ihi ebe ịta nri nke anụmanụ ndị ahụ dị n'ọzara.
Ha tọgbọrọ n'efu. Ọ dịghị onye na-ejegharị n'ime ya.

---

* **9:6** 9:6 Ebe obibi gị bụ n'etiti aghụghọ

A naghị anụkwa olu anụ ụlọ n’ebe ahụ.
Ụmụ nnụnụ efefusịala.
Otu a kwa, ụmụ anụmanụ alaala.

11 “Aga m eme ka Jerusalem ghọọ ebe a na-awụfu unyi.
Ọ ga-aghọ ebe nkịta ọhịa na-awagharị na-achọ nri.
Aga m ekposa obodo niile nke Juda.
Ọ dịkwaghị onye ga-ebi na ya.”
12 Olee onye ahụ maara ihe, nke nwere ike ịghọta ihe ndị a niile? Onye ka Onyenwe
anyị ziri ihe ndị a, nke ga-akọwa ya? Gịnị mere e ji bibie ala a, kposaa ya, mee ka ọ
tọgbọrọ n’efu dịka ọzara mmadụ na-enweghị ike ịgafe?
13 Onyenwe anyị kwuru sị, “Ọ bụ n’ihi na ha agbakụtala iwu ahụ m nyere ha idebe
azụ. Ha jụrụ irubere m isi, jụkwa ịgbaso iwu m. 14 Kama, ha na-agbaso isiike nke
obi ha, ha gbasoro chi Baal dịka nna nna ha si kuziere ha.” 15 N’ihi ya, nke a bụ ihe
Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, Chineke nke Izrel kwuru, “Lee, aga m eme
ka ndị a rie nri na-akụ ilu. Ha ga-aṅụkwa mmiri e tinyere nsi. 16 Aga m ekposa ha na
mba niile nke ụwa. Ha ga-ebi na mba nke ha na nna ha na-amaghị. Aga m eji mma
agha chụọ ha ọsọ tutu ruo mgbe m bibiri ha niile.”
17 Otu a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru,
“Tụgharịanụ uche unu ugbu a. Kpọọnụ ụmụ nwanyị ndị ọrụ ha bụ ịbụ abụ akwa.
E, zienụ ozi ka ndị ọkachamara n’etiti ha bịa.
18 Ha bịa ngwangwa
kwaa akwa n’ihi anyị,
tutu anya mmiri akwa ejupụta ha n’anya,
tutu anya mmiri akwa esite anyị n’anya na-asọda ruo na ntị anyị.
19 Olu ụzụ ịkwa akwa ka a nụrụ site na Zayọn
‘Lee ka anyị si laa n’iyi!
Lee ka ihe ihere anyị si dị ukwuu!
N’ihi na anyị hapụrụ ala anyị,
n’ihi na ha etikpọsịala ebe obibi anyị niile.’ ”

20 Ugbu a, nụrụnụ okwu Onyenwe anyị, unu ụmụ nwanyị,
megheenụ ntị unu nụrụ okwu si ya n’ọnụ.
Kuzierenụ ụmụ unu ndị inyom otu e si eti mkpu akwa,
kuziekwaranụ ibe unu abụ akwa.
21 N’ihi na ọnwụ abatala n’etiti anyị, o si na oghereikuku niile nke ụlọ anyị
bata n’ebe niile e wusiri ike nke ala anyị.
O gbuola ụmụntakịrị ndị na-ejegharị n’okporoụzọ,
gbukwaa ụmụ okorobịa ndị na-anọ n’ama.
22 Gwa ha, sị, “Otu a ka Onyenwe anyị kwubiri,
“ ‘Ozu ndị nwụrụ anwụ ga-atọgbọrọ
dịka unyi e kpofuru n’ọhịa,
dịka ukwu ọka nke e gbuturu n’azụ onye na-aghọ mkpụrụ ubi,
nke ọ dịghị onye ga-achịkọta ha.’ ”
23 Otu a ka Onyenwe anyị kwuru,
“Ka onye maara ihe hapụ ịnya isi n’ihi amamihe ya,
ka onye dị ike ghara ịnya isi n’ihi ịdị ike ya,
ka ọgaranya hapụkwa ịnya isi n’ihi ịba ụba nke akụ ya,
24 kama, onye ọbụla na-anya isi, ya nyaa isi n’ihi nke a:
na o nwere uche ịghọta na mụ onwe m bụ,
Onyenwe anyị nke na-eme obi ebere,

na-ekpe ikpe ziri ezi na ezi omume n'ụwa.
N'ihi n'ihe ndị a ka m na-enwe obi ụtọ,"
ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
25 "Lee, ụbọchị ahụ na-abịa," ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara, "mgbe m ga-ata ndị
ahụ niile nke e biri ugwu naanị n'anụ ahụ ha ahụhụ. 26 Ya bụ ndị Ijipt, Juda, Edọm,
Amọn, na Moab, na ndị ahụ niile bi n'ọzara n'ebe dị anya. N'ihi na, n'ezie, mba ndị a
niile bụ ndị a na-ebighị ugwu. Ọ bụladị ụlọ Izrel niile bụ ndị a na-ebighị ugwu n'ime
obi ha."

# 10

*Chineke na arụsị*

1 Nụrụnụ ihe ONYENWE ANYỊ na-agwa unu, ụmụ Izrel. 2 N'ihi na otu a ka ONYENWE
ANYỊ kwuru,
"Unu amụtala ụzọ ndị mba ọzọ,
unu atụkwala ụjọ ihe ịrịbama niile nke na-apụta ihe na mbara eluigwe,
ọ bụ ezie na ndị mba dị iche iche na-atụ ha ụjọ.
3 N'ihi na omenaala ndị mmadụ ahụ abaghị uru.
Ha na-aba n'ọhịa gbute osisi,
nke onye ǹka osisi na-eji anyụike pịara ha ihe.
4 Ha na-eji ọlaọcha na ọlaedo chọọ ihe ahụ a pịrị apị mma,
jiri mkpirisi igwe na ǹtu kụọ ya ka o sie ike,
ka ọ ghara ịda.
5 Arụsị ha yiri osisi eguzobere n'ubi kukumba maka iji chụọ anụ ufe ọsọ,
ha adịghị ekwu okwu.
A na-ebugharị ha n'aka
n'ihi na ha adịghị eje ije.
Unu atụla ha egwu,
n'ihi na ha apụghị imerụ unu ahụ,
ha enwekwaghị ike imere unu ihe ọma ọbụla."

6 O nweghị onye dịka gị, ONYENWE ANYỊ.
Ị dị ukwuu.
Aha gị dị ukwuu, na-arụpụtakwa ihe dị ike.
7 Onye ka ọ bụ nke na-ekwesighị ịtụ gị egwu?
Ọ bụ gị bụ eze mba niile.
Ọ bụkwa gị ka e kwesiri ịtụ egwu.
N'etiti ndị niile maara ihe na mba niile,
na n'alaeze niile,
ọ dịghị onye dịka gị.

8 Ha niile bụ ndị na-enweghị uche na ndị nzuzu.
Ọ bụkwa arụsị osisi na-abaghị uru na-ezi ha ihe.
9 A na-esite na Tashish bubata ọlaọcha e tipịaziri nke ọma,
site na Ụfaz bubata ọlaedo.
Ihe ahụ nke ọka osisi pịrị, nke ndị ọkpụ ụzụ ọlaedo chọrọ mma
ka a na-eyikwasị uwe na-acha anụnụ anụnụ, na uwe na-acha odo odo.
Ọ bụkwa ndị ǹka dị iche iche na-eme ha niile.
10 Ma naanị ONYENWE ANYỊ bụ Chineke n'ezie.
Ọ bụ Chineke dị ndụ, na Eze nke ebighị ebi.
Mgbe iwe were ya, ụwa na-ama jijiji.
Mba niile apụghịkwa ịnagide iwe ya dị ọkụ.

11 “Ihe ndị a ka unu ga-agwa ha, ‘Chi ndị ahụ niile a na-esiteghị n’aka ha mee eluigwe na ụwa niile ga-ala n’iyi. A ga-ewezuga ha site n’ụwa na n’okpuru eluigwe niile.’ ”
12 Ma Chineke sitere n’ike ya mee ụwa.
Ọ tọrọ ntọala ụwa mee ka o guzosie ike site n’amamihe ya,
ọ jikwa nghọta ya setịpụ eluigwe niile.
13 Mgbe o bigbọrọ, mmiri niile nke dị n’eluigwe na-ebigbọkwa.
Ọ na-eme ka igwe ojii site na nsọtụ niile nke ụwa kwụlie.
Ọ na-ezipụ amụma mgbe mmiri na-ezo,
na-esitekwa n’ụlọ nkwakọba ihe ya niile na-ewepụta ifufe.

14 Onye ọbụla bụ onye na-enweghị uche nke ihe ọmụma kọrọ.
Emeela ka ihere mee onye ọkpụ ụzụ ọlaedo ọbụla site n’arụsị ọ kpụrụ.
N’ihi na oyiyi niile ọ na-akpụ bụ aghụghọ;
ha enweghị nkuume ọbụla n’ime ha.
15 Ha bụ ihe efu, na ihe ịkwa emo,
mgbe ikpe ọmụma ha bịakwasịrị ha, ha ga-ala n’iyi.
16 Ma Onye ahụ bụ Oke Jekọb adịghị ka ihe ndị a,
n’ihi na Ọ bụ ya na-eke ihe niile,
tinyere Izrel bụ ebo nke ihe nketa ya.
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile bụ aha ya.

### *Mbibi nke na-abịa*

17 Chịkọtaanụ ngwongwo unu niile; nọọnụ na njikere ịhapụ ala a,
n’ihi na lee, ndị iro gbara unu gburugburu.
18 N’ihi na ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“N’oge a, aga m amafu
ndị niile bi n’ala a.
M ga-eme ka oke mkpagbu bịakwasị ha,
meekwa ka ndị iro ha jide ha.”

19 Ahụhụ dịịrị m n’ihi mmerụ ahụ m merụrụ.
Ọnya dị m n’ahụ enweghị ọgwụgwọ.
Ma ana m akasị onwe m obi na-asị,
“N’ezie, ọrịa a dakwasịrị m bụ ọrịa m, aga m edikwa ya.”
20 Ebibiela ụlọ ikwu m,
e tibisiala ụdọ ya niile.
Ụmụ m ndị ikom esitela n’ebe m nọ pụọ, ha anọkwaghị ya.
Ọ dịkwaghị onye fọdụrụ nke ga-enyere m aka isetipụ ụlọ ikwu m,
maọbụ onye ga-edoziri m ebe m ga-anọ zuo ike.
21 N’ihi na ndị ọzụzụ atụrụ a enweghị uche.
Ha adịghị ajụta ase site n’aka ONYENWE ANYỊ,
ya mere, na ihe adịghị agara ha nke ọma,
igwe atụrụ ha niile agbasasịakwala.
22 Gee ntị, nụrụ! Lee ozi na-abịa,
oke ụzụ nke ọgbaaghara site n’ala dị n’ugwu,
ime ka obodo niile nke Juda tọgbọrọ n’efu,
ghọọkwa ebe obibi nye nkịta ọhịa.

### *Ekpere Jeremaya*

23 O ONYENWE ANYỊ, amaara m na ụzọ mmadụ adịghị n’aka ya,
na ọ bụghị mmadụ ka ọ dịịrị ịtụziri onwe ya ụzọ nke ọ ga-agbaso.

24 Ya mere, Onyenwe anyị, site n’ụzọ nke ikpe ziri ezi dọọ m aka na ntị,
ma ọ bụghị site n’iwe gị,
ma ọ bụghị ya, ị ga-eme ka m ghọọ ihe efu.
25 Wụkwasị ọnụma gị n’elu mba niile dị iche iche
bụ ndị na-amaghị gị,
wụkwasịkwa ya ndị ahụ niile na-adịghị akpọku aha gị.
N’ihi na ha eripịala Jekọb,
ha eripịala ya kpamkpam,
bibiekwa ebe obibi ya.

# 11

*Edebezughị ọgbụgba ndụ*

1 Nke a bụ okwu nke sị n’ebe Onyenwe anyị nọ bịakwute Jeremaya, 2 “Gee ntị n’ihe
niile metụtara ọgbụgba ndụ a, gwakwa ndị Juda, na ndị bi na Jerusalem. 3 Gwa ha
na nke a bụ ihe Onyenwe anyị, Chineke Izrel kwuru, ‘Onye a bụrụ ọnụ ka mmadụ
ahụ bụ nke na-adịghị edebe ihe niile banyere ọgbụgba ndụ a, 4 bụ nke m nyere nna
nna unu ha, mgbe m si n’Ijipt, site n’oke ọkụ e ji agbaze igwe, kpọpụta ha.’ Asịrị m,
Ruberenụ m isi, meekwa ihe niile m nyere unu n’iwu, unu ga-abụ ndị m, mụ onwe
m kwa ga-abụkwa Chineke unu. 5 ‘Mgbe ahụ, aga m emezu iyi ahụ m ṅụụrụ nna nna
unu ha, inye ha ala mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya,’ ya bụ, ala ahụ unu
bi n’ime ya taa.”

Azara m sị, “Amen, Onyenwe anyị.”

6 Onyenwe anyị sịrị m, “Kpọsaa okwu ndị a n’obodo Juda niile, na n’okporoụzọ
Jerusalem niile, ‘Geenụ ntị n’iwu nke ọgbụgba ndụ ahụ, ma mezuo ihe o kwuru.
7 Site n’oge ahụ m si n’ala Ijipt kpọpụta nna nna unu ha ruo taa, adọọla m unu aka
na ntị mgbe mgbe sị, “Ruberenụ m isi.” 8 Ma ha jụrụ ige ntị. Ha akpọkwaghị okwu
m mkpa dịrị ha. Kama ha jegharịrị n’isiike nke obi ọjọọ ha. Ọ bụ nke a mere m ji
mee ka ọbụbụ ọnụ niile nke ya na ọgbụgba ndụ ahụ so bịakwasị ha, dịka m buru
ụzọ nye n’iwu, ma ihe ndị a emeghị ka ha jezie ije.’ ”

9 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị gwara m sị, “Achọpụtala na-enwere njikọta na ịgba izu
mmegide n’etiti ndị Juda na ndị bi na Jerusalem. 10 Ha alaghachila azụ n’ụdị mmehie
ahụ nna nna ha mehiere, bụ ndị ahụ jụrụ ige ntị n’okwu m. Ha agbasoola chi ndị ọzọ
na-efe ha. Ụlọ Izrel na ụlọ Juda adịghị edebekwa ọgbụgba ndụ ahụ mụ na nna nna
ha gbara. 11 N’ihi ya, nke a bụ ihe Onyenwe anyị kwuru, ‘Aga m eme ka mbibi, nke
ha na-enweghị ike ịgbanarị, bịakwasị ha. Ọ bụrụkwa na ha akpọkuo m agaghị m
aṅa ntị. 12 Ndị obodo Juda na ndị bi na Jerusalem ga-apụ kpọkuo chi ndị ahụ niile ha
na-achụrụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ, ma chi ndị a agaghị enyere ha aka mgbe
mbibi a bịakwasịrị ha. 13 Gị, bụ Juda, nwere ọtụtụ chi dị iche iche dịka obodo dị
n’ime gị si dị ọtụtụ. Ebe ịchụ aja i wukwara n’ihi ịchụrụ chi ahụ na-eweta ihere bụ
Baal aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ, dịkwa ọtụtụ dịka okporoụzọ dị na Jerusalem.’

14 “Ekperela ndị a ekpere, arịọkwala arịrịọ ọbụla n’ihi ha. N’ihi na agaghị m ege
ntị mgbe ha ga-akpọku m n’oge ihe mgbu ha.

15 “Gịnị ka onye m hụrụ n’anya na-eme n’ime ụlọnsọ ukwuu m,
mgbe ya na ọtụtụ ndị ọzọ na-ejikọta onwe ha n’otu ịtụ atụmatụ ihe ọjọọ?
Anụ e doro nsọ apụghị ime ka ahụhụ unu kwesiri ịnata hapụ ịbịakwasị unu.
A sị na o si otu a dịrị, mgbe ahụ, unu pụrụ ịṅụrị ọṅụ
mgbe unu na-eme ihe ọjọọ unu.”

16 Aha Onyenwe anyị nyere gị bụ Osisi oliv dị ndụ,
nke na-amị mkpụrụ mara mma.

Ma ọ bụ olu mkpọtụ nke oke mmiri ozuzo
ka ọ ga-eji mụkwasị gị ọkụ;
alaka gị ga-agbajisikwa.
17 ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile bụ onye ahụ kụnyere gị n'ala, e nyela iwu
na mbibi ga-abịakwasị gị, n'ihi na ndị Izrel na Juda emeela ihe ọjọọ, kpasuo m iwe
site n'ịchụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye Baal.

*Nzube ọjọọ megide Jeremaya*

18 Ọ bụ ONYENWE ANYỊ kpughere izuzu ọjọọ ha nye m; amatakwara m ihe ha na-
ezube, n'ihi na o gosiri m ya n'oge ahụ. 19 Mụ onwe m dị ka nwa atụrụ dị nwayọọ
nke e du na-aga ebe a ga-egbu ya. Ma aghọtaghị m na ọ bụ m ka ha zubererị nzube
ọjọọ megide. Ha kwuru sị,
"Bịanụ ka anyị bibie osisi a na mkpụrụ ya.
Ka anyị site n'ala ndị dị ndụ wezuga ya,
ka a hapụ ichetakwa aha ya ọzọ"
20 Ma gị, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, ị bụ onye na-ekpe ikpe ziri ezi,
na-anwapụtakwa obi mmadụ na mmụọ ya.
Mee ka m hụ mgbe ị ga-abọ ọbọ megide ha,
n'ihi na ọ bụ n'aka gị ka m na-etinye okwu a metụtara m.
21 Ya mere, nke a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu banyere ndị Anatot ahụ na-achọ ịnapụ
gị ndụ gị, ndị ahụ na-asị gị, "Ebukwala amụma site n'aha ONYENWE ANYỊ ka ị ghara
ịnwụ n'aka anyị." 22 N'ihi nke a ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru,
sị, "Aga m ata ha ahụhụ. Ụmụ okorobịa ha ga-anwụ site na mma agha, ụnwụ ga-
egbukwa ụmụ ha ndị ikom na ndị inyom. 23 O nweghị ndị ga-afọdụ ndụ n'ime ha
n'ihi na a ga-eme ka oke mbibi bịakwasị ndị Anatot n'afọ ahụ m ga-ata ha ahụhụ."

# 12

*Mkpesa Jeremaya*

1 Onye ezi omume ka ị bụ mgbe niile, gị ONYENWE ANYỊ,
mgbe ọbụla m butere ikpe bịa n'ihu gị.
Ma achọrọ m ịgwa gị okwu banyere ikpe ziri ezi gị:
Gịnị mere ihe ji agara ndị ajọ omume nke ọma?
Gịnị mere ndị na-aghọ aghụghọ ji ebi ndụ enweghị nsogbu ọbụla?
2 Ị kụọla ha ka osisi, ha agbaala mgbọrọgwụ;
ha na-etokwa na-amị mkpụrụ.
Ị nọ nso mgbe niile n'ọnụ ha,
ma ị nọ n'ebe dị anya n'obi ha.
3 Ma gị onwe gị maara m ONYENWE ANYỊ;
ị na-ahụ m, na-anwapụtakwa echiche niile m na-eche banyere gị.
Dọkpụrụ ha dịka atụrụ a ga-egbu egbu.
Doo ha iche nye ụbọchị ahụ a ga-egbu ha.
4 Ruo ole mgbe ka ala ga-eru ụjụ?
Ruo ole mgbe ka ahịhịa dị n'ubi ga-anọgide na-akpọnwụ?
Ụmụ anụmanụ na nnụnụ na-anwụchasị
n'ihi na ndị bi n'ala ahụ bụ ndị na-emebi iwu.
Ma ndị mmadụ ahụ na-ekwu sị,
"Ọ gaghị ahụ ihe ga-adakwasị anyị."

*Ọsịsa Chineke nyere*

5 "Ọ bụrụ na ndị ji ụkwụ ha agba ọsọ
emerie gị n'ọsọ nke gị na ha gbara,

i si aṅaa chee na gị na ndị ji ịnyịnya agba ọsọ nwere ike ịgbakọta ọsọ ịsọ mpi?
Ọ bụrụ na ị sọọ ngọngọ n’ala ebe udo dị,
ị ga-esi aṅaa ghara ịsọ ngọngọ n’ọhịa dị n’akụkụ osimiri Jọdan?
6 Lee, ọ bụladị ụmụnne gị, ndị ezinaụlọ nke aka gị,
ararala gị nye.
Lee, ha eweliela oke olu iti mkpu megide gị.
Atụkwasịla ha obi,
ọ bụladị mgbe ha na-ekwu okwu ọma banyere gị.

7 “Aga m agbakụta ụlọ m
na ihe nketa m họpụtara nye onwe m azụ.
Aga m ewere onye ahụ m hụrụ n’anya
nyefee ya n’aka onye iro ya.
8 Ihe nketa m aghọrọọla m,
ihe dịka ọdụm nọ n’ọhịa,
Ọ na-agbọ ụja megide m;
ya mere, m ji kpọọ ya asị.
9 Ọ bụ na ihe nketa m aghọbeghị
nnụnụ ugo tụrụ agwa nye m
nke ọtụtụ ugo gbara gburugburu na-emegide ya?
Gaanụ, kpọkọta ụmụ anụ ọhịa niile,
mee ka ha zukọọ bịa dọrie nri.
10 Ọtụtụ ndị ọzụzụ atụrụ ebibiela ubi vaịnị m.
Ha azọtọọla ubi m n’okpuru ụkwụ,
ha emeela ka ubi m mara mma
ghọọ ọzara tọgbọrọ n’efu.
11 Ha emeela ya ka ọ ghọọ ebe tọgbọrọ n’efu;
e, ọ ghọọla ebe kpọrọ nkụ n’ebe tọgbọrọ n’efu n’ihu m.
Ala ahụ niile ga-atọgbọrọkwa n’efu,
n’ihi na o nweghị onye ọbụla ihe banyere ya na-emetụ n’obi.
12 Ndị mbibi ga-ejupụta
n’elu ebe niile dị elu nke ọzara,
n’ihi na mma agha Onyenwe anyị
ga-esite n’otu nsọtụ ala ahụ ruo na nsọtụ nke ọzọ, ripịa ndị niile dị na ya.
O nweghị onye ọbụla udo ga-adịrị n’ala ahụ.
13 Ha ga-agha mkpụrụ ọka wiiti, maọbụ ogwu ga-epuru ha.
Ha ga-adọgbu onwe ha n’ọrụ ma ha agaghị enweta ihe ọbụla.
Ya mere, ka ihe ihere unu ghọtara dịka ihe ubi dịrị unu,
n’ihi na ahụhụ ndị a sitere n’iwe dị ọkụ nke Onyenwe anyị.”
14 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị kwuru, “Ma banyere ndị agbataobi ọjọọ m ahụ niile,
bụ ndị na-apụnara ndị m Izrel ihe nketa ahụ m nyere ha. Aga m esite n’ala ha hopu
ha. Aga m esitekwa n’etiti ha hopu ụlọ Juda. 15 Ma mgbe m hopuchara ha, aga m
emesịa meere ha ebere, meekwa ka onye ọbụla n’ime ha laghachikwa n’obodo nke
aka ya. Ha ga-enwetakwa ihe nketa ha niile. 16 Ọ bụrụkwa na ha amụta ụzọ niile
nke ndị m nke ọma, na iji aha m ṅụọ iyi, na-asị, ‘Dịka Onyenwe anyị na-adị ndụ,’
dịka ha si kuziere ndị m iji aha Baal na-aṅụ iyi, aga m eme ka ha guzosie ike n’etiti
ndị m. 17 Ma ọ bụrụ na mba ọbụla ajụ ige ntị, aga m ehopu ha kpamkpam, laa ha
n’iyi.” Otu a ka Onyenwe anyị kwubiri.

# 13

### *Ihe ike n’ukwu*[*]

1 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ gwara m, “Gaa, zụta mgbado ukwu akwa ọcha nke a
na-eke n’ukwu. Ị zụtachaa ya, kekwasị ya n’ukwu gị. Ma ekwekwala ka o metụ na
mmiri.” 2 Ejere m zụta ajị[†] ahụ dịka ONYENWE ANYỊ kwuru, kee ya n’ukwu m.
3 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ bịakwutere m nke ugboro abụọ, sị m, 4 “Were ajị
ahụ ị zụtara, nke i kekwasịrị n’ukwu gị, bilie, jee n’osimiri Yufretis. I ruo, zoo ihe
okike ukwu ahụ na mgbawa nkume dị n’ebe ahụ.” 5 Ya mere, apụrụ m, jee, zoo ya
na Yufretis dịka ONYENWE ANYỊ gwara m.
6 Mgbe ọtụtụ ụbọchị gasịrị, ONYENWE ANYỊ gwara m okwu sị m, “Bilie, jeghachi
Yufretis. I jeruo, wepụta ajị ahụ m sị gị zoo n’ebe ahụ.” 7 Ya mere, agara m Yufretis,
gwupụta ajị ahụ site n’ebe m zoro ya, ma mgbe m wepụtara ya, ahụrụ m na o mebiela,
na ọ bakwaghị uru ọbụla.
8 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 9 “Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
‘N’otu aka ahụ, mụ onwe m ga-ebibi mpako Juda na oke mpako Jerusalem. 10 Ndị ajọ
omume ahụ, bụ ndị jụrụ ige ntị n’okwu m, ndị ahụ na-ejegharị n’isiike nke obi ha
na-agbaso chi ndị ọzọ na-efe ma na-akpọkwa isiala nye ha. Ha ga-adịka belịt a, nke
na-abakwaghị uru ọbụla. 11 N’ihi na dịka belịt mmadụ kere n’ukwu ya si arapara ya
n’ukwu, otu a ka m si mee ka ụlọ Izrel niile, na ụlọ Juda niile rapara m n’ahụ,’ ime
ka ha ghọọ ndị m, ndị a ga-esite na ha bulie aha m elu, nye m otuto na nsọpụrụ. Ma
ha ajụla ige ntị.” Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

### *Karama mmanya akpụkpọ*

12 Sị ha, “Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel kwuru: A ga-agbaju karama
akpụkpọ ọbụla mmanya. Ọ bụrụ na ha sị gị, ‘Ọ bụ na anyị amaghị na a na-agbaju
karama akpụkpọ ọbụla mmanya?’ 13 Mgbe ahụ gwa ha, ‘Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ
na-ekwu, Aga m eme ka ndị bi n’ala a ṅụbiga mmanya oke, ma onye eze na-anọkwasị
n’ocheeze Devid, ma ndị nchụaja, na ndị amụma niile bi na Jerusalem. 14 Aga m
atụpịakwa ha, otu onye n’elu ibe ya, nna na ụmụ ya n’elu ibe ha kwa. Agaghị m
ekwe ka obi ọmịiko, maọbụ obi ebere gbochie m ibibi ha.’ ” Otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwubiri.

### *Ịdọ aka na ntị banyere ịdọta n’agha*

15 Nụrụnụ, geekwanụ ntị,
unu ebulila onwe unu elu,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ ekwuola ya.
16 Nyenụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu nsọpụrụ.
Tupu o mee ka ọchịchịrị dakwasị unu;
tupu unu akpọbie ụkwụ unu
n’elu ugwu gbara ọchịchịrị.
Unu na-ele anya ìhè
ma ọ ga-eme ka ihe ahụ ghọọrọ unu oke ọchịchịrị.
Ọ ga-agbanwe ihe ahụ, mee ka ọ ghọọ onyinyo ọnwụ.
17 Ma ọ bụrụ na unu ajụ ige ntị.
Ọ bụ na nzuzo ka m ga-anọ kwaa akwa
n’ihi mpako unu.
Anya mmiri ga-esi m n’anya pụta;
anya mmiri ga-esi na ya na-eruda nke ukwuu
n’ihi na igwe atụrụ ONYENWE ANYỊ ka a ga-adọta n’agha.

---

[*] **13:** 13:1 Maọbụ, ihe mgbado ukwu [†] **13:2** 13:2 Ọtụtụ ndị ọgbara ọhụrụ amaghị ihe bụ ajị, kama ọ bụ nke a na-akpọ belịt, maọbụ, ihe mgbado ukwu ma ọ bụkwanụ, ihe okike ka ha maara

18 Gwanụ eze na nne eze okwu sị ha,
“Sitenụ n’ocheeze unu rịdata,
n’ihi na okpueze ọma unu
ga-esi n’isi unu dapụ.”
19 A ga-emechi obodo niile nke Negeb.
Ọ dịkwaghị onye ga-emeghe ha.
A ga-adọtakwa Juda niile n’agha
buru ha kpamkpam buga ha n’ala ọzọ.

20 Welienụ anya unu
ka unu hụrụ ndị ahụ si n’ugwu na-abịa.
Ebee ka igwe ewu na atụrụ ndị ahụ e tinyere unu n’aka nọ,
igwe ewu na atụrụ ahụ unu ji na-anya isi?
21 Gịnị ka ị ga-asị mgbe ONYENWE ANYỊ mere ka ndị ahụ ị gụrụ
dịka ndị enyi gị bịa buso gị agha?
Ihe mgbu nke ga-abịakwasị gị
ọ gaghị adị ka ihe mgbu na-abịakwasị nwanyị ime na-eme?
22 Mgbe ahụ, ị ga-ajụkwa obi gị ajụjụ sị,
“Gịnị mere ihe ndị a ji dakwasị m?”
Ọ bụ n’ihi ịba ụba nke mmehie gị
ka e ji dọwaa uwe mwụda gị,
merụọ gị ahụ n’akụkụ ahụ gị niile.
23 Onye Kush ọ pụrụ ịgbanwe akpụkpọ ahụ ya?
Agụ ọ pụrụ ịgbanwe akpụkpọ ahụ ya tụrụ agwa agwa?
N’ụzọ dị otu a kwa,
unu ndị ihe ọjọọ riri ahụ apụghị ime ezi ihe.

24 “Aga m efesasị unu dịka ahịhịa ọka kpọrọ nkụ,
nke oke ifufe si n’ọzara na-ebugharị.
25 Nke a bụ ihe unu fetara na nza,
oke nke m kwadoro si n’aka m inye unu.” Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
“N’ihi na unu echefuola m,
tụkwasị obi unu na chi okwu ụgha dị iche iche.
26 Ya mere, aga m ekpughepụ uwe i yi n’ahụ, jiri ya kpuchie gị ihu,
si otu a gbaa gị ọtọ. Ihere ga-emekwa gị.
27 Mgbe ahụ, ịkwa iko gị niile ga-apụta ihe ya na agụụ ihe ọjọọ niile na-agụ gị,
na ọnọdụ enweghị ihere nke ịgba akwụna gị niile!
N’ihi na ahụla m omume rụrụ arụ gị niile,
nke ị na-eme n’elu ugwu, na n’ime ọhịa.
Ahụhụ dịrị gị, Jerusalem!
Ruo ole mgbe ka ị ga-anọgide n’ime adịghị ọcha gị?”

# 14

*Ụkọ mmiri, ụnwụ na mma agha*

1 Nke a bụ okwu ONYENWE ANYỊ, nke rutere Jeremaya banyere ụkọ mmiri.
2 “Juda na-eru ụjụ,
ndị bi n’obodo ya niile na-ahụjukwa anya.
Ha na-akwa akwa n’ihi ala ahụ,
ụda ịkwa akwa ha eruokwala Jerusalem.
3 Ndị a na-asọpụrụ na-ezipụ ndị ohu ha ịga chọta mmiri.

Ha na-aga n'olulu mmiri
ma o nweghị mmiri ha na-achọta.
Ha bu ite nke mmiri ọbụla na-adịghị n'ime ya na-alọta.
Ha ji aka ha kpuchie isi ha
n'ihi ịda mba nke obi na n'ihi ọnọdụ obi ọjọọ nke ha nọ n'ime ya.
4 Ala na-agbawa
n'ihi enweghị mmiri ozuzo.
Ndị ọrụ ubi na-ekpuchikwa isi ha
n'ihi obi ọjọọ ha.
5 Ọ bụladị nne ele, nke nọ n'ọhịa,
na-ahapụ nwa ọhụrụ ya,
n'ihi na ahịhịa ndụ adịghị.
6 Ịnyịnya ibu ọhịa na-eguzokwa n'elu ebe dị elu nke ahịhịa na-adịghị.
Ha na-eku ume na-ekupụ ngwangwa, ngwangwa, dịka nkịta ọhịa;
anya ha adabamiela ha n'isi
n'ihi ahụghị ahịhịa ndụ ha ga-ata."

7 Ọ bụ ezie na mmehie anyị na-agbagide anyị ama,
ONYENWE ANYỊ, biko rụọ ọrụ gị n'ihi aha gị.
Anyị emehiela megide gị.
Ndaghachi azụ anyị site n'ebe ị nọ dịkwa ukwuu.
8 Gị, onye bụ olileanya Izrel.
Onye Nzọpụta ya n'oge ahụhụ,
gịnị mere i ji nọdụ dịka onye ọbịa n'ala a,
dịka onye ije nke na-anọ naanị ọnọdụ otu abalị?
9 Gịnị mere i ji nọdụ dịka onye ihe mere na mberede,
dịka dike nke na-enweghị ike ịzọpụta?
ONYENWE ANYỊ, ị nọ n'etiti anyị;
ọ bụkwa aha gị ka a kpọkwasịrị anyị.
Ahapụkwala anyị!
10 Ihe ndị a bụ okwu ONYENWE ANYỊ kwuru banyere ndị a,
"Ha hụrụ mwagharị n'anya nke ukwuu.
Ụkwụ ha adịghị anọkwa n'otu ebe.
N'ihi nke a, ihe banyere ha adịghị atọkwa ONYENWE ANYỊ ụtọ.
Ugbu a kwa ka ọ na-echeta ajọ omume ha,
ọ ga-atakwa ha ahụhụ n'ihi mmehie ha."
11 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị m, "Ekpela ekpere n'ihi ọdịmma ndị a. 12 Ọ bụ
ezie na ha na-ebu ọnụ, agaghị m ege ntị n'akwa ha; ọ bụrụkwa na ha achụọrọ m aja
nsure ọkụ, maọbụ aja mkpụrụ onyinye, agaghị m anabata ha. Kama, aga m eji mma
agha na ụnwụ, na ọrịa dị iche iche bibie ha."
13 Ma asịrị m, "Ewoo, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ! Lee na ndị
amụma na-asị ha, 'Unu agaghị ahụ mma agha anya, maọbụ hụ ahụhụ nke ụnwụ
na-eweta, n'eziokwu, aga m enye unu udo nke na-adịgide adịgide n'ebe a.' "
14 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gwara m okwu sị, "Ndị amụma ahụ na-ebu amụma
ụgha n'aha m. Ọ bụghị m họpụtara ha, ọ bụghị m gwara ha okwu, ọ bụkwaghị m ziri
ha. Ọ bụ amụma ụgha ka ha na-eburu unu, amụma ụgha nke ọhụ ụgha, na nke ịgba
afa, na nke na-enweghị isi, na nke si n'obi ha nke aghụghọ jupụtara. 15 Ya mere, ihe
ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru banyere ndị amụma ahụ na-ebu amụma n'aha m. Ọ
bụghị m ziteere ha, ma ha nọgidere na-asị, 'Mma agha na ụnwụ enweghị ike ịbịaru

ala a nso.’ Ndị amụma a niile ka a ga-ebibi site na mma agha na ụnwụ. 16 A ga-
esitekwa n’ụlọ tụpụ ndị ahụ niile ha na-eburu amụma n’okporoụzọ Jerusalem n’ihi
ụnwụ na mma agha. O nweghị onye ga-eli ha, maọbụ ndị nwunye ha, maọbụ ụmụ
ha ndị ikom na ndị inyom. N’ihi na aga m awụkwasị ha ihe ọjọọ ahụ niile ruuru ha.
17 “Gwa ha okwu ndị a,
“ ‘Ka anya mmiri si n’anya m na-eruda
ehihie na abalị, na-akwụsịghị akwụsị,
n’ihi ndị m, n’ihi ada ndị m, nke na-amaghị nwoke,
ndị hụrụla ahụhụ dị ukwuu,
ndị e tipụtara ọnya jọrọ njọ.
18 Ọ bụrụ na m apụọ jee n’ime ime obodo
ana m ahụ ndị e ji mma agha gbuo;
Ọ bụrụ na m abata n’obodo ukwu,
ana m ahụ mbibi nke ụnwụ wetara.
Ma onye amụma ma onye nchụaja
agaala n’ala nke ha amaghị.’ ”

19 Ị jụla Juda kpamkpam?
Ọ pụtara na ihe banyere Zayọn adịghị atọkwa gị ụtọ?
Gịnị mere i ji tigbuo anyị
ruo na ọgwụgwọ adịghịkwa nye anyị?
Anyị lere anya udo,
ma ọ dịghị ezi ihe bịara;
anyị lere anya ọgwụgwọ,
ma lee, ihe anyị hụrụ bụ oke egwu.
20 Onyenwe anyị, anyị nabatara ajọ omume anyị,
na ikpe mara nna nna anyị ha;
n’ezie, anyị onwe anyị emehiekwala megide gị.
21 Elelịla anyị anya, n’ihi aha gị.
Ekwela ka ocheeze gị dị ebube bụrụ ihe a na-adịghị asọpụrụ.
Cheta ọgbụgba ndụ nke anyị na gị gbara;
emebikwala ya.
22 Ọ dị chi ihe efu nke ndị mba ọzọ nwere ike ime ka mmiri zoo?
Mbara eluigwe ọ pụrụ ime ka mmiri zoo site n’ike aka ya naanị?
Mba! Ọ bụ gị, Onyenwe anyị Chineke anyị pụrụ ime ihe ndị a.
N’ihi nke a, olileanya anyị dị n’ime gị,
n’ihi na ọ bụ gị na-eme ihe ndị a niile.

# 15

1 Mgbe ahụ Onyenwe anyị gwara m okwu sị m, “Ọ bụrụ na Mosis na Samuel apụta
bịa guzo n’ihu m, ụdịdị obi m agaghị agbanwe n’ebe ndị a nọ. Chụpụ ha n’ihu m.
Mee ka ha si n’ebe a pụọ. 2 Ọ bụrụ na ha ajụọ gị si, ‘Ebee ka anyị ga-aga?’ Gwa ha
na ihe ndị a ka Onyenwe anyị kwuru,
“ ‘Ndị e debere n’ihi ọnwụ ga-anwụ,
ndị e debere n’ihi mma agha ka mma agha ga-egbu;
ndị e debere n’ihi ụnwụ ka ụnwụ ga-egbu,
otu a kwa, ndị e debere n’ihi ịdọta n’agha, ka a ga-adọta n’agha buru ha gaa mba ọzọ.’
3 “Aga m ezite ụdị mbibi anọ megide ha: mma agha nke ga-egbu ha, nkịta ga-
adọkpụrụ ozu ha pụọ, ụmụ anụ ufe na ụmụ anụ ọhịa dị iche iche ga-eripịa ha, ma
bibiekwa ha.” Otu a ka Onyenwe anyị kwubiri. 4 Aga m eme ka ha ghọọ ihe a na-asọ

oyi n’alaeze niile nke ụwa, n’ihi ihe Manase nwa eze Hezekaya nke Juda mere na Jerusalem.
5 “Onye ga-enwe ebere n’ahụ gị, gị Jerusalem?
Onye ga-eru ụjụ n’ihi ihe ga-adakwasị gị?
Onye ga-apụta guzo ịjụ ajụjụ banyere otu ihe si agara gị?
6 Gị onwe gị ajụla m,”
ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
“Ị nọgidela na-adaghachi azụ.
Ya mere, aga m ebikwasị gị aka, bibie gị.
Ike m ji akwụsị gị ka ị ghara ịdaghachi azụ agwụla m.*
7 Aga m eji ihe e ji afụcha ọka fụchaa ha
n’ọnụ ụzọ ama nke ala ahụ.
Aga m eme ka mbibi bịakwasị ndị m, nke ga-eme ka ha gbara aka ụmụ,
n’ihi na ha esitebeghị n’ụzọ ọjọọ ha chigharịa.
8 Aga m eme ka ọnụọgụgụ ụmụ nwanyị di ha nwụrụ baa ụba.
Ha ga-ehi nne karịa aja dị n’ọnụ oke osimiri.
N’etiti ehihie ka m ga-eme ka onye mbibi
bịakwasị ndị bụ nne ụmụ okorobịa ha;
na mberede ka m ga-eme ka nhụju anya
na ihe oke egwu bịakwasị ha.
9 Nwanyị mụrụ ụmụ asaa ga-ada mba,
kubie ume.
Ọ ga-anwụ mgbe oge ya na-erubeghị,
ihere ga-eme ya; ọ ga-abụkwa onye e wedara n’ala.
Ma ndị fọdụrụ ndụ ka m ga-eme ka ha nwụọ
site na mma agha ndị iro ha.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

10 Ahụhụ dịịrị m, nne m, na ị mụrụ m,
onye ya na ndị niile bi n’ala a na-alụ ọgụ, ma na-ese okwu.
O nwebeghị onye m binyere ego, ọ dịkwaghị onye binyere m ego,
ma mmadụ niile na-akọcha m.
11 ONYENWE ANYỊ kwuru sị,
“N’ezie, aga m anapụta gị n’ihi ezi ihe,
aga m eme ka onye iro gị rịọ gị arịrịọ
n’oge ihe ọjọọ na n’oge mkpagbu.

12 “Mmadụ o nwere ike ịgbaji igwe,
ya bụ igwe e si n’akụkụ ugwu bubata, maọbụ bronz?

13 “Aga m ewere ihe niile i nwere, ya na akụnụba gị,
nye ya onye ga-akwata ha n’agha. Ọ gaghị akwụ gị ihe ọbụla.
N’ihi na mmehie gị niile
ejupụtala n’ala a niile.
14 Aga m ewere gị nye ka ị bụrụ ohu ndị iro gị.
Ị ga-ebi n’ala ị na-amaghị.
N’ihi na a ga-esite n’iwe m mụnye ọkụ
nke ga-eregbu gị.”

* 15:6 15:6 Agaghị m enwekwa ọmịiko n’ebe ị nọ ọzọ

15 Ị maara O ONYENWE ANYỊ,
ya mere cheta m, lekọtaakwa m.
Bọọrọ m ọbọ megide ndị na-akpagbu m.
Ewezugala m, biko, n'ihi na ị bụ onye ogologo ntachiobi.
Lee ka m si na-anata nkọcha n'ihi na m na-asọpụrụ gị.
16 Mgbe m chọpụtara okwu gị, eweere m ya rie dịka nri.
Ha tọrọ obi m ụtọ, bụrụkwa ihe na-enye m ọṅụ,
n'ihi na-akpọkwasịrị m aha gị,
ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile.
17 O nwebeghị oge mụ na ndị na-achị ọchị nke ukwuu ji nọkọọ.
Esokwaghị m ha ṅụrịkọọ ọṅụ.
A nọdụụrụ m onwe m n'ihi na aka gị dịkwasịrị m.
I mekwara ka iwe jupụta m n'obi n'ihi ajọ omume ha.
18 Gịnị mere ihe mgbu m adịghị akwụsị akwụsị?
Gịnị mekwara ọnya m ji dị njọ na-apụghị ịgwọta ya?
Ị dịrị m dịka mmiri iyi na-arafu mmadụ,
dịka isi iyi nke na-ekwesighị ntụkwasị obi.
19 Ya mere, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Ọ bụrụ na i chegharịa, aga m etinyeghachi gị n'ọnọdụ gị,
ime ka i guzokwa n'ihu m.
Ọ bụrụ na okwu si gị n'ọnụ abụrụ okwu kwesiri ntụkwasị obi, okwu na-abụghị okwu nzuzu
ị ga-abụ onye na-ekwuchitere m ọnụ m.
Ndị a ga-alaghachikwute gị
ma i gaghị alaghachikwuru ha.
20 Aga m eme ka ị dịrị ka mgbidi n'ebe ha nọ.
Ị ga-abụ mgbidi e wusiri ike, nke e ji bronz wuo.
Ha ga-ebuso gị agha,
ma ha agaghị emeri gị
n'ihi na m nọnyeere gị ịnapụta gị,
nakwa ịzọpụta gị,"
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
21 "Aga m anapụta gị site n'aka ndị ọjọọ.
Gbapụtakwa gị site n'aka ndị na-enweghị obi ebere."

# 16

*Ụbọchị Mbibi*

1 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 2 "Ị gaghị alụtara onwe gị nwunye,
ị gaghị amụtakwa ụmụ ndị ikom na ndị inyom n'ebe a." 3 N'ihi na otu a ka ONYENWE
ANYỊ kwuru banyere ụmụ ndị ikom niile na ụmụ ndị inyom niile a mụrụ n'ala a. Otu
a ka ọ kwukwara banyere nne na nna ụmụntakịrị ndị a. 4 "Ha ga-anwụ site n'ajọ ọrịa
nke ga-egbu ha niile. O nweghị onye ga-eru ụjụ n'ihi ha, a gaghị elikwa ha. Kama ha ga-adị ka unyi e kposara n'ala. Mma agha na ụnwụ ga-ala ha n'iyi, ozu ha ga-abụkwa ihe oriri nye ụmụ anụ ufe na ụmụ anụ ọhịa nke ụwa."
5 N'ihi na ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, "Abanyela n'ụlọ ọbụla a na-akwa
ozu; abanyela maka iso ha ruo ụjụ,* maọbụ maka igosi ha ebere, n'ihi na ewepụla m ngọzị m n'ịhụnanya m, na ọmịiko m site n'ebe ha nọ," otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwupụtara. 6 "Ma ndị ukwu na ndị nta n'ime ha ga-anwụ n'ala a. O nweghị onye
ga-eli ha, maọbụ ruo ụjụ n'ihi ha. O nweghị onye ga-akpụcha isi ya, maọbụ gbuo

* **16:5** 16:5 Iti ha aka n'obi

onwe ya mma n’ihi ha. 7 O nweghị onye ga-eweta ihe oriri nye ndị zukọrọ maka
ịkasị ndị na-eru ụjụ obi. Nri agaghị adị ọ bụladị nye ndị na-eru ụjụ, n’ihi ọnwụ nna
ha maọbụ ọnwụ nne ha. Ọ dịkwaghị onye ga-enye ha ihe ọṅụṅụ n’ihi ịkasị ha obi.
8 “Abanyekwala n’ụlọ ebe e nwere oriri soro ndị nọ n’ebe ahụ nọdụ ala iri ihe na
ịṅụ ihe ọṅụṅụ 9 N’ihi na otu a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, onye bụkwa
Chineke Izrel kwuru, ‘N’ihu gị, na n’oge ndị a niile ị dị ndụ, ka m ga-eme ka ụzụ ọṅụ
na obi ụtọ, na olu ndị ikom na nke ndị inyom na-alụ di na nwunye kwụsị.’
10 “Mgbe ị gwara ndị a ihe ndị a, ha ga-ajụ gị ajụjụ sị, ‘Gịnị mere Onyenwe anyị
ji kpebie izitere anyị ụdị oke ịla n’iyi dị otu a? Gịnị bụ ihe ọjọọ anyị mere? Gịnị bụ
mmehie anyị mere megide Onyenwe anyị Chineke anyị?’ 11 Mgbe ahụ, ị ga-asa ha sị
ha, ‘Ihe ndị a na-adakwasị unu n’ihi na nna nna unu ha gbakụtara m azụ,’ otu a ka
Onyenwe anyị kwupụtara, ‘gbasoro, fee ma kpọọkwa isiala nye chi ndị ọzọ. Ha jụrụ
iso m, jụkwa idebe ihe m nyere ha n’iwu. 12 Ma unu emesoola m mmeso ọjọọ karịa
ụdị mmeso nna unu ha mesoro m. Lee ka unu niile n’otu n’otu si agbaso ụzọ isiike
nke obi ọjọọ unu chepụtara, kama irubere m isi. 13 Ya mere, aga m esite n’ala a tufuo
unu. Aga m atụbanye unu n’ala ahụ unu na nna unu ha na-amaghị. Ebe ahụ ka unu
ga-anọkwa fee chi ndị ọzọ ehihie na abalị. N’ihi na agaghị m emere unu amara.’
14 “Otu ọ dị, ụbọchị ndị ahụ na-abịa,” ka Onyenwe anyị kwupụtara, “mgbe ndị
mmadụ na-agaghị asịkwa ọzọ,† ‘Dịka Onyenwe anyị na adị ndụ, bụ onye ahụ sitere
n’ala Ijipt kpọpụta ụmụ Izrel.’ 15 Ma a ga-asị, ‘Dịka Onyenwe anyị na-adị ndụ, bụ
onye ahụ kpọpụtara Izrel site n’ala dị n’ugwu, na mba ahụ niile ọ chụsara ha.’ N’ihi
na aga m akpọlata ha n’ala ahụ m nyere nna nna ha.
16 “Ma ugbu a, aga m ezipu ọtụtụ ndị ọkụ azụ ka ha gaa jide ha.” Otu a ka Onyenwe
anyị kwubiri. “Mgbe nke ahụ gasịrị, aga m ezipụkwa ọtụtụ ndị na-achụ nta, ndị ga-
esite n’elu ugwu ukwu niile na n’elu ugwu nta niile, na n’ọnụ mgbawara dị na nkume
niile, chụọ nta ha. 17 Ana m ahụzu ụzọ ha niile. O nweghị ihe zoro ezo n’ebe m nọ.
Anya m na-ahụzukwa mmehie ha niile. 18 Aga m akwụghachi ha okpukpu abụọ n’ihi
ajọ omume ha, na mmehie ha, n’ihi na ha ejirila oyiyi ihe arụ a pịrị apị ha, nke na-
enweghị ndụ n’ime ya, merụọ ala m. Ha emeekwala ka arụsị bụ ihe arụ jupụta n’ihe
nketa m.”

19 Onyenwe anyị, ị bụ ike m na ebe m e wusiri ike,
ebe mgbaba m n’oge nsogbu.
Mba niile nke ụwa ga-esite na nsọtụ ụwa niile bịakwute gị.
Ha ga-abịakwute gị sị gị,
“Nna anyị ha enweghị ihe ọbụla karịakwa chi ndị na-abụghị chi n’ezie.
Ha bụkwa chi na-abaghị uru, nke na-adịghị ewetara ha ihe ọma ọbụla.”
20 Mmadụ ọ pụrụ imere onwe ya chi?
E, ma chi ndị ahụ abụghị chi.

21 “Ya mere, aga m eme ka ha mata.
N’oge a ka m ga-eme ka ha mata ike m,
na ịdị ike m.
Mgbe ahụ, ha ga-amata
na aha m bụ Onyenwe anyị.

# 17

1 “E ji mkpisi igwe gbunye mmehie Juda,
jikwa ọnụ nkume siri ike a pịrị ọnụ* ya apị,

† **16:14** 16:14 Ejikwa ụdị okwu ndị a malite ịṅụ iyi ha * **17:1** 17:1 Nkume a na-egbuke ka ọla dịamọndu

depụta n’elu mbadamba nkume, bụ obi ha,
nakwa n’elu mpi niile nke ebe ịchụ aja ha.
2 Ọ bụladị ụmụ ha na-echeta ebe ịchụ aja ha,
na ogidi a manyere n’ala n’ihi arụsị Ashera,
nke dị n’ebe ọtụtụ osisi ndụ na-etokọ ọnụ,
ma n’elu ugwu nta niile.
3 Ugwu m, nke dị n’ala ahụ,
na ihe niile ha nwere, na akụnụba ha
ka m ga-eweta nye ndị ga-adọta ha n’agha.
Aga m enyekwa ha ihe niile ahụ dị n’elu ugwu,
n’ihi mmehie gị, nke jupụtara n’ala gị niile.
4 Ihe nketa ahụ m nyere gị ga-efunarị gị,
n’ihi ihe i ji aka gị wetara onwe gị.
Aga m emekwa ka ị bụrụ ohu ndị iro gị
n’ala nke ị na-amaghị,
n’ihi na ị kpasuola iwe m,
ọ ga-adịgidekwa ruo mgbe niile ebighị ebi.”
5 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“Onye a bụrụ ọnụ ka mmadụ ahụ bụ nke na-atụkwasị mmadụ ibe ya obi,
onye olileanya ya dị n’inyeaka ga-esi n’aka mmadụ rute ya aka,
onye wezugara obi ya site n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ.
6 Onye ahụ ga-adị ka osisi na-eto n’ala tọgbọrọ n’efu.
Ọ gaghị ahụkwa mgbe ọ dịmma na-abịara ya.
Ọ ga-ebi n’ebe niile kpọrọ nkụ nke ọzara,
n’ala nnu nnu, ebe ndị mmadụ na-ebighị.

7 “Ma ngọzị na-adịrị onye ahụ na-atụkwasị ONYENWE ANYỊ obi ya.
Onye ịnya isi ya bụ n’ime ONYENWE ANYỊ.
8 Onye dị otu a ga-adị ka osisi a kụrụ n’akụkụ iyi,
nke mgbọrọgwụ ya na-awasa banye n’iyi ahụ.
Ụjọ adịghị atụ ya n’oge okpomọkụ,
akwụkwọ ndụ na-adịgidekwa n’elu ya.
Ọ dịghị echegbu onwe ya n’afọ ụnwụ dị.
Ọ dịkwaghị mgbe ọ na-akwụsị ịmị mkpụrụ.”

9 Obi mmadụ dị aghụghọ karịa ihe niile,
o nwekwaghị ngwọta.
Onye pụrụ ịghọta ya?

10 “Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ na-enyocha obi,
na-anwụpụta ihe dị n’ime mmụọ,
n’ihi ịkwụ mmadụ ụgwọ dịka ọrụ ya si dị,
na dịka ihe ruuru ya si dị n’ihi ọrụ ya.”

11 Dịka ọkwa si ekpokọba akwa ọ na-eyighị,
otu a ka ndị na-akpakọba akụ n’ụzọ na-ezighị ezi dị.
N’etiti ụbọchị ndụ ha, akụ ndị a ga-efunarị ha.
N’ikpeazụ ha ga-aghọ ndị nzuzu.

12 Ocheeze dị ebube, nke e mere ka ọ dị elu site na mmalite,
ka ebe nsọ anyị bụ.

13 ONYENWE ANYỊ, olileanya Izrel ka ị bụ.
A ga-emekwa ka ihere mee ndị na-agbakụta gị azụ.
A ga-edekwa aha ndị ahụ niile si n’ebe ị nọ wezuga onwe ha n’ala,
n’ihi na ha ewezugala onwe ha site n’ebe ONYENWE ANYỊ,
isi iyi nke mmiri na-enye ndụ, nọ.

14 ONYENWE ANYỊ, ọ bụrụ na i mee ka ahụ sie m ike aga m adị ndụ.
Ọ bụrụ na ị zọpụta m aga m abụ onye azọpụtara,
n’ihi na ọ bu naanị gị ka m na-eto.
15 Ha nọ na-ajụ m ọnụ, na-asị m,
“Olee ebe okwu ONYENWE ANYỊ dị?
Ya mezuonụ ugbu a!”
16 Ma esitebeghị m na ị bụ onye ọzụzụ atụrụ gị wezuga onwe m.
Ị maara na ọ bụghị ọchịchọ obi m ịhụ ụbọchị ahụ na-eweta ịda mba.
Ị maara ụdị okwu niile na-esite n’ọnụ m na-apụ.
17 A ghọrọla m ihe na-eyi egwu,
n’ihi na ị bụ ebe mgbaba m n’ụbọchị mbibi.
18 Mee ka ihere mee ndị na-akpagbu m.
Ekwekwala ka ihere mee m.
Mee ka ha tụọ ụjọ,
ma chebe m site n’ihe egwu.
Mee ka ụbọchị mbibi bịakwasị ha,
werekwa okpukpu ihe mbibi abụọ tipịa ha.

### *Idebe Ụbọchị Izuike nsọ*

19 Ihe a ka ONYENWE ANYỊ gwara m, “Gaa, guzo n’ọnụ ụzọ ama obodo, ebe ndị
eze Juda na-esi apụ, ma na-abatakwa. Guzokwa n’ọnụ ụzọ ama ndị ọzọ niile dị na
Jerusalem. 20 Gwa ha sị, ‘Nụrụnụ okwu ONYENWE ANYỊ, unu ndị eze Juda na ndị
Juda niile, na ndị niile bi na Jerusalem, ndị na-esi n’ọnụ ụzọ a apụ, na-abatakwa.’
21 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, ‘Lezienụ onwe unu anya ịhụ na unu ebughị ibu
ọbụla n’ụbọchị izuike; lezienụ onwe unu anya ịhụ na unu esiteghị n’ọnụ ụzọ ama
Jerusalem bufee ya. 22 Unu esitela n’ụlọ unu buputa ihe ọbụla, unu arụkwala ọrụ
ọbụla n’ụbọchị izuike. Doonụ ụbọchị izuike nsọ dịka m nyere nna unu ha n’iwu.
23 Ma ha egeghị ntị, maọbụ kpọọ ya mkpa ha. Ha bụ ndị ntị ike, ndị na-adịghị aṅa ntị
n’ịdọ aka na ntị, maọbụ nabata ya. 24 Ma otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, ọ bụrụ na
unu ga-elezi anya rubere m isi, hapụ isi n’ọnụ ụzọ ama obodo a bufee maọbụ bubata
ibu n’ụbọchị izuike, kama debe ụbọchị izuike nsọ, site na-arụghị ọrụ ọbụla n’ime
ya, 25 mgbe ahụ, ndị eze ndị ga-anọkwasị n’ocheeze Devid ga-edu ndị na-ejere ya ozi
na-agafe na-abatakwa site n’ọnụ ụzọ ama a. Ha na ndị na-ejere ha ozi ga-anọkwasị
n’ịnyịnya ha, na n’ụgbọ agha ha, mgbe ha sị n’ọnụ ụzọ ama a na-abata, ma na-apụ.
Ndị Juda, na ndị bi na Jerusalem ga-esokwa ha n’azụ. Aga m emekwa ka ndị mmadụ
biri n’obodo a ruo mgbe ebighị ebi. 26 Ndị mmadụ ga-esite n’obodo niile nke Juda,
na n’obodo nta gbara Jerusalem gburugburu; ha ga-esitekwa n’ala ndị Benjamin, na
n’ala ndagwurugwu nke ugwu ndị ahụ dị n’ọdịda anyanwụ, sitekwa n’ala Negev, na-
ewebata onyinye aja nsure ọkụ, na aja dị iche iche, na onyinye ọka, na onyinye ihe
nsure ọkụ na-esi isi ụtọ, na onyinye ekele, n’ime ụlọ ONYENWE ANYỊ. 27 Ma ọ bụrụ na
unu enupu isi jụ idebe ụbọchị izuike nsọ, ọ bụrụ na unu anọgide na-ebubata ihe site
n’ọnụ ụzọ ama Jerusalem n’ụbọchị izuike, aga m amụnye ọnụ ụzọ ama niile dị na
Jerusalem ọkụ, nke a na-apụghị imenyụ emenyụ. Ọ ga-erepịakwa ebe niile e wusiri
ike na Jerusalem.’ ”

# 18

*N'Ụlọ ọkpụ ite*
1 Nke a bụ okwu nke sị n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ bịakwute Jeremaya. 2 "Bilie, jee
n'ụlọ ọkpụ ite, ebe ahụ ka m ga-anọ zie gị ozi." 3 Ya mere, ebiliri m jee n'ụlọ ọkpụ
ite, bịakwute ya mgbe ọ nọ na-arụ ọrụ na nkume ịkpụ ihe. 4 Ma ite ahụ ọ chọrọ ịkpụ
apụtaghị dịka ọkpụ ite si chọọ ya, n'ihi ya, ọ kpụkọtara ụrọ ahụ ọzọ, malitekwa
ịkpụgharị ya.
5 Mgbe ahụ okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, 6 Ọ sịrị, "Ọ bụ na m apụghị ime unu
dịka ọkpụ ite a mere, unu ụmụ Izrel?" Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, "Dịka ụrọ si
dị n'aka ọkpụ ite ahụ, otu a ka unu onwe unu si dịrị n'aka m, gị Izrel. 7 Mgbe ọbụla m
kpọsara na a ga-akwada maọbụ bibie, maọbụ si n'ọnọdụ ya hopu mba maọbụ alaeze
ọbụla, 8 ọ bụrụ na mba ahụ m dọrọ aka na ntị esite na mmehie ha chegharịa, a gaghị
ebibi ya dịka m si zube. 9 Ọzọ, ọ bụrụ na m akpọsaa na a ga-ewuli mba ọbụla maọbụ
alaeze ọbụla elu, kụọkwa ya, 10 ọ bụrụ na o mee ihe jọrọ njọ n'anya m, jụ irubere m
isi, agaghị m emere ya ihe ọma ahụ m zubere imere ya.
11 "Ugbu a, gwa ndị Juda na ndị ahụ bi na Jerusalem, sị, 'Otu a ka ONYENWE ANYỊ
sịrị: Lee, ana m akwado mbibi nke ga-abịakwasị unu; ana m echekwa echiche ọjọọ
megide unu. Ya mere, ka onye ọbụla n'ime unu site n'ụzọ ọjọọ ya chegharịa, ya
meekwa ka ụzọ ya na omume ya zie ezi.' 12 Ma ha ga-aza sị, 'O nweghị isi! Anyị
ga-anọgide na-eme ihe ọbụla anyị chepụtara n'echiche anyị, na-emekwa atụmatụ
isiike nke obi ọjọọ anyị tụpụtara.' "
13 N'ihi ya ka ONYENWE ANYỊ ji kwuo sị,
"Jụtanụ ajụjụ n'etiti mba niile,
onye nụrụla ihe dị otu a?
Ndị m, Izrel, bụ nwaagbọghọ na-amaghị nwoke
emeela ihe jọgburu onwe ya.
14 O nweela mgbe mmiri oyi m mere ka ọ kpụkọtaa
kọrọ n'elu ugwu Lebanọn?
O nweela mgbe mmiri ya jụrụ oyi,
nke si n'ebe dị anya na-asọdata ji akwụsị ịsọ asọ?
15 Ma ndị m echezọọla m.
Ha na-achụ aja nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye arụsị na-enweghị isi,
bụ arụsị ndị ahụ mere ka ha sọọ ngọngọ n'ụzọ ha niile.
Ha sụrụ ngọngọ hapụ ịgbasokwa ụzọ ọma ahụ dị site na mgbe ochie.
Kama ha na-eje ije n'ụzọ ọhịa, nke na-enweghị ụkpụrụ,
nke a na-ewuzighị ewuzi.
16 Ala ha ga-atọgbọrọ n'efu.
Ọ ga-aghọ ihe iju anya ruo ebighị ebi.
Ndị si n'akụkụ ya na-agafe ga-efufe isi ha,
n'ihi na ihe ha ga-ahụ ga-eju ha anya.
17 Aga m achụsa ha n'ihu ndị iro ha
dịka ifufe na-efe site n'ọwụwa anyanwụ.
Aga m agbakụta ha azụ.
Ha agaghị ahụkwa ihu m anya n'ụbọchị ahụ mbibi ga-abịakwasị ha."
18 Ha sịrị, "Bịanụ ka anyị gbaa izu megide Jeremaya, n'ihi na izi iwu agaghị esite
n'ebe ndị nchụaja nọ kwụsị, maọbụ ndụmọdụ n'ebe ndị maara ihe, ma ọ bụkwanụ
okwu site n'ebe ndị amụma nọ. Ya mere, bịanụ ka anyị were ire anyị buso ya agha,*
gharakwa ịṅa ntị n'okwu ọbụla nke ọ na-ekwu."

---
* **18:18** 18:18 Maọbụ, gwajuo ya okwu afọ

19 Gee m ntị, ONYENWE ANYỊ.
Nụrụ ihe ndị na-ebo m ebubo na-ekwu megide m.
20 O kwesiri iji ajọ omume kwụghachi ihe ọma?
Ma lee na ha egwuolara m olulu.
Chetakwa na m guzooro n'ihu gị
ma rịọ gị arịrịọ n'ihi ha.
Arịrịọ m bụ ka ị hapụ iweso ha oke iwe.
21 Ya mere, were ụmụ ha nyefee n'aka ụnwụ.
Werekwa ha onwe ha nyefee n'aka mma agha.
Mee ka ndị nwunye ha ghọọ ndị gba aka ụmụ na di.
Meekwa ka e gbuo ndị ikom ha,
ka mma agha gbukwaa ụmụ okorobịa n'ọgbọ agha.
22 Mee ka e site n'ụlọ ha nụ mkpu akwa,
mgbe i mere ka ndị iro ha buso ha agha na mberede.
N'ihi na ha egwuola olulu ijide m,
ha esiekwarala m ọnya nzuzo ijide m n'ụkwụ.
23 Ma gị onwe gị, ONYENWE ANYỊ,
maara nzube ọjọọ ha niile igbu m.
Agbagharala ha ajọ omume ha;
maọbụ hichapụ mmehie ha site n'ihu gị.
Mee ka ụkwụ ha gbuchapụ ka ha daa n'ihu gị;
mesie ha ike mgbe ị na-ewe iwe.

# 19

1 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, "Jee, zụta otu ite aja site n'aka ọkpụ ite. Duru
ụfọdụ n'ime ndị okenye na ndị nchụaja, 2 jee na Ndagwurugwu nke Ben Hinom, nke
dị nso n'ọnụ ụzọ ama Ejuju dị n'ọwụwa anyanwụ. Nọdụ n'ebe ahụ kwupụtara ha
okwu ndị m gwara gị. 3 Sị ha, 'Nụrụnụ okwu ONYENWE ANYỊ, unu ndị eze Juda, na
ndị Jerusalem. Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, onye bụ Chineke
Izrel kwuru. Geenụ ntị! Aga m eme ka ihe ọjọọ bịakwasị ala a, ụdị ihe ọjọọ ga-eme
ka ntị ọbụla nụrụ ya zụọ wuruwuru. 4 N'ihi na ha ahapụla m, mee ka ebe a ghọọ nke
chi ndị mba ọzọ. Ha achụọla aja nsure ọkụ n'ime ya nye chi ndị ahụ ha na nna nna
ha, maọbụ ndị eze Juda, na-amaghị. Ha ejirila ọbara ndị aka ha dị ọcha mejupụta
ebe a. 5 Ha ewuola ebe ịchụ aja dị elu nye chi Baal. N'elu ya kwa ka ha na-esure ụmụ
ha dịka aja nye Baal, bụ nke m na-enyeghị n'iwu, ekwughịkwa m ya, o nwekwaghị
mgbe o ji bata m n'obi. 6 Ya mere, kpacharanụ anya, n'ihi na ụbọchị ahụ na-abịa, ka
ONYENWE ANYỊ kwubiri, mgbe ndị mmadụ agaghị akpọkwa ebe a Tofet ma ọ bụkwanụ
Ndagwurugwu nke Ben Hinom, kama a ga-akpọ ya Ndagwurugwu Ogbugbu.
7 " 'N'ebe a ka m ga-anọ laa nzube niile nke Juda na Jerusalem n'iyi. Aga m eme ka
ha daa site na mma agha n'ihu ndị iro ha, n'aka ndị ahụ na-achọsi ndụ ha ike. Aga
m enye ụmụ anụ ufe na anụ ọhịa ozu ha dịka nri. 8 Aga m ebibi obodo a mee ka ọ
ghọọ ihe iju anya na ihe ịma ọsụ. Ndị niile na-esi n'akụkụ ya agafe ga-anọ n'ọnọdụ
iju anya, ha ga-eledakwa ya anya n'ihi ọnya ya niile. 9 Aga m emekwa ka ha rie anụ
ahụ nke ụmụ ha ndị ikom na ndị inyom. Ha ga-erikwa anụ ahụ ibe ha, n'ihi na ndị
iro ha ga-agba ha gburugburu nọchibido ha n'ime oke mkpagbu* ka ha bibie ndụ
ha.'
10 "Kụwaa ite ahụ mgbe ndị gị na ha so nọ na-ele gị anya. 11 Gwa ha sị, 'Otu a ka
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile sịrị: Aga m etipịa mba a na obodo a, dịka ite
aja nke ọkpụ ite a si daa tipịasịa n'ụzọ a na-apụghị imezikwa ya ọzọ. Ha ga-eli ndị

* **19:9** 19:9 Gbochie nri ọbụla isite n'ezi rute ha aka

nwụrụ anwụ na Tofet tutu ruo mgbe ohere na-agaghị adịkwa ili ozu ọzọ. 12 Ihe dị
otu a ka m ga-eme n'ebe a, meekwa ndị bi na ya. Otu a ka Onyenwe anyị kwubiri.
Aga m eme obodo a ka ọ dịrị ka Tofet. 13 Ụlọ niile dị na Jerusalem na ụlọ niile nke
ndị eze Juda ka a ga-emerụ dịka ebe a, bụ Tofet, otu a ka a ga-esi merụọkwa ụlọ niile
a suree ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n'elu ha nye usuu niile nke eluigwe, wụsakwara
chi ndị ọzọ ihe ọṅụṅụ dịka onyinye.' "
14 Mgbe Jeremaya si na Tofet, ebe ahụ Onyenwe anyị zigara ya ibu amụma lọta, o
guzoro n'ogige ụlọnsọ ukwu Chineke ahụ, gwa ndị mmadụ niile okwu sị ha, 15 "Otu
a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, onye bụ Chineke nke Izrel sịrị, 'Geenụ
ntị! Ana m aga ime ka ihe ọjọọ ahụ m kwuru okwu ya bịakwasị obodo a, na obodo
nta niile gbara ya gburugburu, n'ihi na ha bụ ndị isiike, ndị jụrụ ige ntị n'okwu m.' "

# 20

## *Jeremaya na Pashua*

1 Mgbe Pashua nwa Imea, bụ onye nchụaja, ma burukwa onyeisi na-elekọta ụlọnsọ
ukwu Onyenwe anyị, nụrụ amụma ndị a Jeremaya na-ebu, 2 o nyere iwu ka e tie
Jeremaya, bụ onye amụma ihe, kee ya agbụ, tinye ya n'ọnụ ụzọ ama Dị Elu nke
Benjamin, nke dị ụlọnsọ ukwu Onyenwe anyị. 3 N'echi ya, mgbe Pashua tọpụrụ ya
site n'agbụ ahụ, Jeremaya sịrị ya, "Onyenwe anyị akpọghị gị Pashua, kama aha gị
bụ Mago-Misabib, nke pụtara, Nwoke ihe egwu gbara gburugburu. 4 N'ihi na nke a
ka Onyenwe anyị na-ekwu, 'Aga m eme ka ị ghọọrọ onwe gị, ghọọkwara ndị enyi gị
niile ihe egwu. Anya gị abụọ ka ị ga-eji hụ ha mgbe mma agha ndị iro ha ga-egbuda
ha. Aga m ararakwa ala Juda niile nyefee ha n'aka eze Babilọn, onye ga-egbuda ha.
Aga m ararakwa ala Juda niile nyefee ha n'aka eze Babilọn, onye ga-eburu ndị niile
bi n'ime ya gaa Babilọn. Ọ ga-egbu ndị fọdụrụ. 5 Aga m enyefe ndị iro ha akụ niile
dị n'obodo, na ihe niile ha rụpụtara, na ihe niile dị oke ọnụahịa, na ngwongwo na
akụ niile nke ndị eze Juda. Ha ga-eburu ya dịka ihe a kwatara n'agha laa Babilọn.
6 Ma gị onwe gị bụ Pashua, na ndị niile bi n'ụlọ gị, ka a ga-adọta n'agha buru gaa
Babilọn. N'ebe ahụ ka ị ga-anwụ. Ebe ahụ kwa ka a ga-eli gị, gị na ndị enyi gị ndị a
niile ị na-eburu amụma ụgha.' "

## *Mkpesa Jeremaya*

7 Onyenwe anyị, ị ghọọla m aghụghọ, meekwa m ka m ghọọ onye a ghọgburu
n'aghụghọ.
I jidesiela m aka ike, mee ka uche gị mezuo m n'ahụ.
Lee na mmadụ niile na-akparị m ụbọchị niile.
Onye ọbụla jikwa m na-eme ihe ọchị.
8 N'ihi na mgbe ọbụla m meghere ọnụ kwuo okwu, aghaghị m iti mkpu.
Aga m akpọ mkpu banyere ihe ike na ịla n'iyi.
N'ihi na okwu Onyenwe anyị ewetarala
m mkparị na ịkwa emo ụbọchị niile.
9 Ọ bụrụkwa na m ekwuo n'obi m sị, "Agaghị m ekwute ihe ọbụla metụtara okwu
ya maọbụ aha ya ọzọ."
Ọ dịghị ekwe m.
N'ihi na okwu ya na-enwu m ọkụ n'obi.
Ọ dịkwa ka ọkụ na-enwu enwu emechibidoro ụzọ n'ime ọkpụkpụ m.
Ike agwụla m ịnagide okpomọkụ nke okwu ya.
N'ezie, apụghịkwa m ịnagide ya.
10 Ana m anụ ọtụtụ akụkọ nzuzo,
"Oke egwu n'akụkụ niile!
Jụụnụ ya! Ka anyị jụụnụ ya!"

Ndị enyi m niile
nọ na-eche mgbe m ga-azọhie ụkwụ daa, na-asị,
“Ma eleghị anya ọ ga-abụ onye eduhiere,
mgbe ahụ, anyị ga-emegide ya,
bọọrọ onwe anyị ọbọ n’ahụ ya.”

11 Ma ONYENWE ANYỊ nọnyeere m dịka dike n’agha;
n’ihi ya, ndị na-esogbu m ga-asọ ngọngọ, ha agaghị emerikwa m.
Ihe ha zubere agaghị emezuru ha, n’ihi ya, ihere ga-eme ha nke ukwuu;
a gaghị echezọkwa ọnọdụ ihere ha ruo ebighị ebi.
12 Ma gị, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, gị, onye na-enyocha onye ezi omume,
onye anya ya na-eru n’ihe dị mmadụ n’obi na n’ime echiche uche ya,
biko, kwere ka m dị ndụ hụ mgbe ị ga-abọrọ onwe gị ọbọ megide ha,
n’ihi na ọ bụ n’aka gị ka m tinyere ihe niile gbasara m.

13 Bụkuonụ ONYENWE ANYỊ abụ!
Nyenụ ONYENWE ANYỊ otuto!
N’ihi na ọ na-anapụta ndụ ndị mkpa na-akpa,
site n’aka ndị ajọ omume.

14 Ihe a bụrụ ọnụ ka ụbọchị ahụ a mụrụ m bụ.
Ka ụbọchị nne m mụrụ m ghara inwe ngọzị.
15 Onye a na-abụ ọnụ ka nwoke ahụ bụ nke wetara nna m akụkọ ọmụmụ m,
nke mere ka ọ ṅụrịa ọṅụ, na-asị ya,
“A mụọlara gị nwa, ọ bụ nwa nwoke!”
16 Ka e meekwa nwoke ahụ ihe ONYENWE ANYỊ mere obodo ndị ahụ
o bibiri na-enweghị ọmịiko.
Ka nwoke ahụ nọgidekwa na-anụ iti mkpu akwa n’ụtụtụ,
na akwa ibu agha n’ehihie.
17 N’ihi na ọ hapụrụ igbu m mgbe m nọ n’afọ nne m,
hapụ ime ka afọ nne m bụrụ ili m,
ka afọ ya bụrụkwa ihe buru ibu ruo mgbe ebighị ebi.
18 N’ihi gịnị ka m ji site n’afọ nne m pụta
ịhụ ọnọdụ ọjọọ ndị a, na ịnọgide n’obi mwute,
na ịnọ ọnọdụ ihere ogologo ụbọchị niile nke ndụ m?

# 21

*Chineke ajụ arịrịọ Zedekaya*

1 Ndị a bụ okwu ONYENWE ANYỊ, nke ruru Jeremaya ntị mgbe eze Zedekaya zigara
Pashua nwa Malkija, na onye nchụaja bụ Zefanaya nwa Maaseia, 2 sị, “Jụtara anyị
ase site n’aka ONYENWE ANYỊ, n’ihi na Nebukadneza eze Babilọn na-ebuso anyị agha.
Eleghị anya Onyenwe anyị ga-emere anyị ihe ịtụnanya dịka oge gara aga, nke ga-eme
ka o si n’ebe anyị nọ wezuga onwe ya.”
3 Ma Jeremaya zara sị ha, “Gwanụ Zedekaya sị ya, 4 ‘Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ,
Chineke Izrel kwuru: Lee ejikerela m ugbu a ichigharị ihe agha niile dị unu n’aka,
nke unu ji na-ebuso eze Babilọn na ndị Kaldịa gbara obodo unu gburugburu agha,
e, ejikerela m ichigharị ha megide unu. Aga m akpọbata ha n’ime obodo a. 5 Mụ
onwe m ga-eji aka e setịpụrụ nke ọma, na aka dị ike, nke iwe na ọnụma dị ukwuu,
buo agha megide unu. 6 Aga m etida ndị niile bi n’obodo a, ma mmadụ ma anụ ọhịa.
Ha ga-anwụkwa site n’oke ihe otiti, nke m ga-eme ka ọ bịakwasị ha. 7 Mgbe nke

a mesịrị, Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara, aga m ewere Zedekaya eze Juda, na
ndịisi ọchịchị ya, na ndị niile bi n’obodo a, ndị mma agha na ụnwụ na ihe otiti ndị
a na-egbughị, nyefee ha n’aka Nebukadneza eze Babilọn, na n’aka ndị iro ha, ndị
na-achọsi ndụ ha ike. Ọ ga-eji mma agha gbuo ha. Ọ gaghị emere ha ebere, ọ gaghị
egosikwa ha ọmịiko.’
8 “Tinyere nke a, gwanụ ndị mmadụ niile, ‘na ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru:
Lee, ana m eche n’ihu unu ụzọ abụọ, ụzọ na-eduba na ndụ, na ụzọ na-eduba n’ọnwụ.
9 Onye ọbụla n’ime unu nọgidere n’obodo a ka mma agha, maọbụ ụnwụ, maọbụ
ihe otiti ga-egbu. Ma onye ọbụla n’ime unu pụkwuru ndị Kaldịa gbara obodo unu
gburugburu, were onwe ya nyefee ha n’aka, ga-adị ndụ; ọ ga-echebekwa ndụ ya.
10 Ekpebiela m imesi obodo a ike; o nweghị ihe ọma ọbụla ga-esi n’aka m rute ha,
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri. A ga-enyefe obodo a n’aka eze Babilọn, onye ga-eji
ọkụ laa ya n’iyi.’
11 “Karịchasịa, gwa ndị ezinaụlọ eze Juda sị, ‘Nụrụnụ okwu ONYENWE ANYỊ. 12 Unu
ụlọ Devid, otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,

“ ‘Kpeenụ ikpe ziri ezi* kwa ụtụtụ niile;
napụtanụ ndị a na-emegbu emegbu site n’aka ndị na-emegbu ha.
Napụtakwanụ ndị a na-apụnara ihe ha nwere site n’aka ndị na-apụnara ha ihe ndị a.
Ọ bụrụ na unu emeghị otu a, iwe m ga-abịakwasị unu,
dịka ọkụ n’ihi ajọ omume unu,
ọ dịkwaghị onye pụrụ ime ka ọ kwụsị.
13 Edoola m onwe m megide gị, Jerusalem,
gị onye bi n’ebe dị elu karịa ndagwurugwu a,
onye bi n’ebe dị elu nke dị larịị, Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
Gị onye na-asị “Onye pụrụ ibuso anyị agha?
Onye kwa pụrụ ịbata n’ebe anyị e wusiri ike?”
14 Aga m enye gị ahụhụ nke ruuru gị n’ihi ajọ omume gị,
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
Aga m amụnye ọkụ n’oke ọhịa gị niile,
nke ga-erechapụ ihe niile dị gị gburugburu.’ ”

# 22

*Ikpe ọmụma dịrị ndị eze ọjọọ*

1 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, “Jee n’ụlọeze Juda nọdụ n’ebe ahụ kwusaa
ozi ndị a. 2 ‘Nụrụ okwu ONYENWE ANYỊ, nye gị, gị eze Juda, gị onye na-anọkwasị
n’ocheeze Devid. Nụrụ ya, gị na ndịisi ọchịchị gị, na unu ndị niile na-esite n’ọnụ ụzọ
ama ndị a na-apụ na-abatakwa. 3 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, Meenụ ihe dị
mma na ihe ziri ezi. Napụtanụ onye eji aka ike napụ ihe o nwere site n’aka onye ahụ
na-emegbu ya. Unu emejọkwala onye ọbịa, maọbụ mee ya ihe ike. Unu emekwala
ndị na-enweghị nna, maọbụ ndị inyom di ha nwụrụ ihe ọjọọ. Unu awụsịkwala ọbara
ndị aka ha dị ọcha n’ebe a. 4 N’ihi na ọ bụrụ na unu elezie anya mee iwu ndị a niile,
mgbe ahụ, ndị eze na-anọkwasị n’elu ocheeze Devid ga-anọgide na-esite n’ọnụ ụzọ
ama ndị a na-apụta, na-abata n’elu ụgbọ agha ha, ma n’elu ịnyịnya ha, ha na ndịisi
ọchịchị ha, na ndị ha na-achị. 5 Ma ọ bụrụ na unu ajụ irube isi nye iwu ndị a, otu a
ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, eji m onwe m na-aṅụ iyi na ụlọeze a ga-aghọ mkpọmkpọ
ebe.’ ”
6 N’ihi na ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru banyere ụlọeze Juda,
“Ọ bụ ezie na ịdị dịka Gilead nye m,

* 21:12 21:12 Meenụ ka ikpe ziri ezi na-adịrị mmadụ niile kwa ụbọchị

dịka elu ugwu ukwu Lebanọn,
aghaghị m ime gị ka ị dịrị ka ebe ikpofu ahịhịa,
dịka obodo ndị mmadụ na-ebighị n'ime ya.
7 Aga m ezite ndị mbibi ndị ga-abịa megide gị.
Onye ọbụla n'ime ha ga-eji ngwa agha ya.
Ha ga-egbutusịkwa osisi sida ọma gị niile,
tụnye ha niile n'ime ọkụ.
8 "Ọtụtụ ndị si mba ọzọ bịa ga-agafe obodo a. Ha ga-ajụrịta ibe ha ajụjụ sị, 'Gịnị
mere ONYENWE ANYỊ ji mee obodo ukwuu a ihe ọjọọ dị otu a?' 9 Ọsịsa ha ga-enweta
ga-abụ, 'Ọ bụ n'ihi na ha gbakụtara ọgbụgba ndụ ONYENWE ANYỊ Chineke ha azụ,
malite ịkpọ isiala na ife chi ndị ọzọ.' "
10 Unu akwala akwa n'ihi eze ahụ nwụrụ anwụ, maọbụ ruo ụjụ n'ihi na ọ gaghị
abụkwa eze unu,
kama kwaanụ akwa n'ihi onye ahụ a dọtara n'agha buru gaa mba ọzọ.
N'ihi na ọ gaghị alọghachi ọzọ;
ọ gaghị ahụkwa ala ebe a mụrụ ya anya ọzọ.
11 N'ihi na ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru banyere Shalum nwa Josaya, onye
nọchiri anya nna ya dịka eze Juda, bụ onye ahụ e si n'ebe a buru gaa mba ọzọ, "Ọ
gaghị alọtakwa ọzọ. 12 Ebe ahụ e buuru ya gaa ka ọ ga-anọ nwụọ. Ọ gaghị ahụkwa
ala nke aka ya anya ọzọ."
13 "Ahụhụ na-adịrị onye ahụ na-ewu ụlọeze ya site n'ụzọ ajọ omume,
nke jikwa ikpe na-ezighị ezi na-ewu ime ụlọ elu ya niile,
onye ahụ nke na-eme ndị mmadụ rụọ ọrụ n'efu,
nke na-adịghị akwụ ha ụgwọ ọbụla n'ihi ọrụ ha.
14 Onye na-asị, 'Aga m ewuru onwe m ụlọeze buru ibu,
nke ọnụụlọ dị n'ụlọ elu ya sara ezi mbara.'
Ya mere, ọ tinyere oghereikuku sara mbara n'ụlọ ahụ,
jirikwa osisi sida machie elu ya,
werekwa penti* na-acha uhie uhie chọọ ya mma.

15 "Ị ga-abụ eze
n'ihi na i nwere ọtụtụ osisi sida karịa ndị ọzọ?
Nna gị o nweghị ihe oriri na ihe ọṅụṅụ?
O mere ihe dị mma na ihe ziri ezi
n'ihi ya ihe niile gaara ya nke ọma.
16 O kwuchitere ọnụ ndị ogbenye na ndị nọ na mkpa,
nke a mere na ihe niile gara nke ọma.
Ọ bụghị nke a bụ ihe ọ pụtara bụ ịmara m?
Ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara
17 Ma anya unu na obi unu
adịghị n'ihe ọzọ ma ọ bụghị naanị n'uru n'ezighị ezi
n'iwufu ọbara ndị aka ha dị ọcha,
na imegbu ndị mmadụ, na iji aka ike pụnara ha ihe ha nwere."
18 Ya mere, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru banyere Jehoiakim nwa Josaya eze
Juda:
"Ha agaghị eruru ya uju sị,
'Ewoo nwanne m nwoke! Ewoo nwanne m nwanyị!'
Ha agaghị eruru ya uju sị,
'Ewoo nna anyị ukwu! Ewoo ịma mma ya!'

* **22:14** 22:14 Ya bụ, mgba

19 A ga-eli ya dịka e si eli ịnyịnya ibu.
A ga-adọkpụrụ ozu ya n’ala tufuo ya
n’azụ ọnụ ụzọ ama Jerusalem.”

20 “Gbagoruo na Lebanọn tie mkpu akwa,
meenụ ka a nụ olu unu na Bashan,
sitekwanụ na Abarim tie mkpu akwa
n’ihi na e gweriela ndị niile unu na ha dị na mma.
21 Adọrọ m gị aka na ntị n’oge ahụ ị nọ na-eche na i guzo chịm,
ma ị jụrụ ige ntị.
Nke a bụkwa omume gị site na mgbe ị bụ nwantakịrị.
Ị jụkwara irubere m isi.
22 Oke ifufe ga-ebufu ndị ọzụzụ atụrụ gị niile,
a ga-emekwa ka ndị gị na ha dị na mma gaa biri na mba ọzọ.
Mgbe ahụ, ihere ga-eme gị, ị ga-aghọkwa onye e wedara n’ala
n’ihi ajọ omume gị niile.
23 Gị onye na-ebi na Lebanọn,[†]
onye ebe obibi ya dị n’ụlọ e ji osisi sida wuo,
lee ka i si[‡] na-asụ ude mgbe ihe mgbu bịakwasịrị gị,
ihe mgbu yiri nke nwanyị ime na-eme.
24 “Ma dịka m na-adị ndụ,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya, “a sịkwarị na gị,
bụ Jehoiakin, nwa Jehoiakim eze Juda, bụ mgbaaka akara m gbanyere na mkpịsịaka
dị n’aka nri m, aga m agbapụkwa gị, 25 were gị nyefee n’aka ndị ahụ na-achọsi ndụ
gị ike, bụ ndị ahụ ị na-atụ ụjọ ha. Aga m enyefe gị n’aka Nebukadneza eze Babilọn
na ndị Kaldịa. 26 Aga m atụfu gị na nne mụrụ gị, tụga unu na mba ọzọ dị iche site
n’obodo a nọ mụọ unu. Ebe ahụ ka unu ga-anọ nwụọ. 27 Unu agaghị alọghachikwa
n’ala ahụ na-agụ unu agụụ ịlọghachi n’ime ya.”
28 Nwoke a bụ Jehoiakin, ọ bụ ite tiwara etiwa, nke e lelịrị elelị,
ihe onye ọbụla na-achọghị?
N’ihi gịnị ka a ga-eji tufuo ya na ụmụ ya,
tụga ha na mba ha na-amaghị?
29 Ala, ala, ala,
nụrụ okwu ONYENWE ANYỊ.
30 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru:
“Detuo ya n’akwụkwọ na nwoke a bụ onye gba aka nwa,
nwoke nke ihe na-agaghị agara nke ọma n’oge ndụ ya niile,
n’ihi na o nweghị onye n’ime ụmụ ọ mụrụ nke ihe ga-agara nke ọma,
o nwekwaghị onye n’ime ha ga-anọkwasị n’ocheeze Devid,
maọbụ chịakwa ọzọ na Juda.”

# 23

*Onyenwe anyị Ezi omume Anyị*

1 “Ahụhụ dịrị ndị ọzụzụ atụrụ ahụ na-achụsasị, ma na-ebibi igwe atụrụ m ha
kwesiri ilekọtazi anya.” Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara. 2 Ya mere, ihe ndị a ka
ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel na-agwa ndị ọzụzụ atụrụ ahụ na-elekọta ndị m, “Ebe
ọ bụ na unu akpasasịala igwe ewu na atụrụ m, chụsaa ha, kama ilekọtazi ha anya
nke ọma, aga m ata unu ahụhụ n’ihi ihe ọjọọ ndị a unu mere.” Otu a ka ONYENWE
ANYỊ kwubiri. 3 “Mụ onwe m ga-eji aka m chịkọta ndị m fọdụrụ n’igwe ewu na atụrụ

† 22:23 22:23 Nke a bụ ụlọeze ahụ dị na Jerusalem, hụ nke a na 1Ez 7:2 ‡ 22:23 22:23 Akwụkwọ ndị ọzọ ga-ede; lee ka ị si bụrụ onye a ga-emere ebere mgbe ihe mgbu

m site na mba ahụ niile m chụgara ha, kpọghachikwa ha n'ebe ịta nri ha, ebe ha ga-anọ mụbaa, dị ukwuu n'ọnụọgụgụ.
4 Aga m ahọpụtakwa ndị ọzụzụ atụrụ, ndị ga-elekọtazi ha anya. Egwu agaghị atụ ha, ọ dịkwaghị onye ga-emenye ha ụjọ. O nwekwaghị onye ga-akpafu akpafu n'ime ha." Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
5 "Ụbọchị ndị ahụ na-abịa," ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,

"mgbe m ga-eme ka Ngalaba na-eme ezi omume bilie n'ezinaụlọ Devid.

Ọ ga-abụ Eze ga-eji amamihe chịa ndị ya.

Ọ ga-eme ezi ihe, kpeekwa ikpe ziri ezi n'ala ahụ.

6 N'ụbọchị, ya ka a ga-azọpụta Juda,

Izrel ga-ebikwa n'udo.

Nke a bụ aha a ga-akpọ ya:

ONYENWE ANYỊ Onye Nzọpụta, bụ Ezi omume Anyị.*

7 "N'ihi nke a, ụbọchị ahụ na-abịa," ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara, "mgbe ndị mmadụ na-agaghị asịkwa ọzọ, 'Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, bụ onye sitere n'ala Ijipt dupụta ndị Izrel,'
8 ma ha ga-asị, 'Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ, bụ onye ahụ kpọlatara agbụrụ Izrel site n'ala dị n'ugwu, na mba dị iche iche ebe ọ chụgara ha.' Mgbe ahụ, ha ga-ebi n'ala nke aka ha."

*Ndị amụma ụgha.*

9 Ma banyere ndị amụma,

obi m na-agbawa n'ime m,

ọkpụkpụ m na-amakwa jijiji n'ihi ha.

Adị m dịka nwoke mmanya na-egbu,

dịka onye ṅụbigara mmanya oke,

n'ihi ihe na-eche ha site n'aka ONYENWE ANYỊ,

na site n'okwu nsọ ya.

10 Ndị jupụtara n'ala a bụ ndị na-akwa iko.

N'ihi ịbụ ọnụ ndị a niile ala a tọgbọrọ n'efu,

ahịhịa niile dị n'ọzara akpọnwụọla.

Ndị amụma na-agbasokwa ihe ọjọọ.

Ha na-egosikwa ike ha n'ụzọ na-ezighị ezi.

11 "N'ihi na ndị amụma na ndị nchụaja aghọọla ndị na-amaghị Chineke.

Ọ bụladị n'ime ụlọnsọ ukwu m ka m na-ahụ ajọ omume ha."

Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

12 "N'ihi ya, ụzọ ha na-agbaso ga-adị ka ebe na-amị amị;

a ga-achụbanye ha n'ọchịchịrị

ebe ahụ ka ha ga-anọkwa daa.

Aga m eme ka ihe mbibi bịakwasị ha

n'afọ ahụ, a ga-ata ha ahụhụ."

Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

13 "Ahụrụ m ihe arụ

n'etiti ndị amụma Sameria:

Ha buru amụma site n'ike chi Baal,

si otu a duba ndị m, bụ Izrel na mmehie.

14 Ahụkwara m ihe jọgburu onwe ya

n'etiti ndị amụma nọ na Jerusalem.

Ha na-ebi ndụ ịkwa iko, na ikwu okwu ụgha.

---

* **23:6** 23:6 Onyenwe anyị, bụ ezi omume anyị.

Ha na-agba ndị ajọ omume ume,
si otu a na-egbochi ha isi n'ihe ọjọọ ha tụgharịa.
Ha niile dịka ndị Sọdọm n'ebe m nọ;
ndị Jerusalem dịkwa ka ndị Gọmọra n'ihu m."
15 N'ihi nke a, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru banyere
ndị amụma a,
"Aga m eme ka ha rie nri na-akụ ilu,
meekwa ka ha ṅụọ mmiri e tinyere nsi,
n'ihi na mmụọ nke amaghị Chineke esitela n'aka ndị amụma nọ na Jerusalem
gbasaa ruo ndị niile bi n'ala ahụ."
16 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru,
"Unu aṅala ntị n'ihe ndị amụma ahụ na-eburu unu n'amụma,
n'ihi na olileanya ha na-ewetara unu abụghị ezi olileanya.
Ọhụ ha na-agwa unu na ha hụrụ bụ ihe ha chepụtara n'obi ha,
o sighị n'ọnụ ONYENWE ANYỊ rute ha
17 Ha na-anọgide na-agwa ndị ahụ na-eleli m anya na-asị ha,
'ONYENWE ANYỊ kwuru sị, unu ga-enwe udo.'
Ndị ahụ niile na-agbasokwa ụzọ isiike nke obi ha tụpụtara,
ka ha na-agwakwa okwu sị, 'O nweghị ihe ọjọọ ga-abịakwasị gị.'
18 Ma olee onye ọ bụ n'etiti ndị amụma a nke na-abịaru ONYENWE ANYỊ nso,
hụ ya anya maọbụ ịnụ ihe ọ na-ekwu?
Onye kwa n'etiti ha nwerela ike ṅaa ntị nụrụ okwu ya?
19 Lee, ONYENWE ANYỊ na-ezite oke ifufe na-efesi ike,
ọ bụ oke ifufe nke iwe ya,
nke ga-abịa
bufuo ndị ajọ omume a.
20 ONYENWE ANYỊ agaghị akwụsị iwe iwe ya
tutu ruo mgbe o mezuru
ihe niile dị ya n'obi.
N'ụbọchị ndị ahụ na-abịa n'ihu,
unu ga-aghọta ihe ndị a niile nke ọma.
21 Ọ bụghị m zitere ndị amụma a,
ma ha na-ekwu na ọ bụ okwu si m n'ọnụ ka ha na-ekwu.
O nwebeghị oge m ji gwa ha okwu,
ma ha nọkwa na-ebu amụma.
22 A sị na ha abịala nso guzo n'ebe ịgba izu nzuzo m,
ha gaara ekwusara ndị m okwu m,
nke gaara eme ka ha site n'ajọ omume ha tụgharịa,
sitekwa n'ụzọ ọjọọ ha chigharịa.

23 "Abụ m naanị Chineke na-anọ ha nso,
ma adịghị m anọ n'ebe dị anya?"
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
24 "O nwere onye pụrụ izo onwe ya n'ebe nzuzo
nke m na-enweghị ike ịhụ anya?"
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
"Ọ bụ na m anọghị n'ebe niile n'eluigwe nakwa n'ụwa?"
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
25 "Anụla m ka ndị amụma a, bụ ndị na-ebu amụma ụgha n'aha m na-ekwu na-
asị, 'Arọrọ m nrọ! Arọrọ m nrọ!' 26 Ruo ole mgbe ka ihe dị otu a ga-adịgide n'obi
ndị amụma ndị a, ndị na-ebu amụma aghụghọ dị ha n'obi? 27 Ha na-eche na nrọ

ha na-akọrịtara ibe ha ga-eme ka ndị mmadụ chezọọ aha m, dịka ndị nna nna ha si
chezọọ aha m site n'ịkpọ isiala nye Baal. 28 Ka onye amụma ahụ rọrọ nrọ kọgharịa
nro ọ rọrọ. Otu a kwa, ka onye ahụ okwu m dị n'ọnụ ya nọgidekwa na-ekwusa ya
n'eziokwu. N'ihi na gịnị ka okporo ọka na mkpụrụ ọka nwekọrọ?" Otu a ka ONYENWE
ANYỊ kwupụtara. 29 "Okwu m ọ dịghị ka ọkụ? Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,†
Okwu m ọ dịkwaghị ka okporo igwe‡ nke na-etiwasị nkume?"
30 N'ihi ya, ONYENWE ANYỊ kwubiri sị, "Ana m edo onwe m megide ndị amụma na-
esite n'ọnụ ibe ha na-ezute okwu ha na-ekwu, ma na-asị na ọ bụ n'ọnụ m ka ha si
nata ya. 31 E, otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, Ana m edo onwe m megide ndị amụma
ahụ ire ha na-ekwu ọtụtụ okwu, ndị ahụ na-asịkwa, 'Ọ bụ ihe si n'ọnụ ONYENWE ANYỊ
pụta.' 32 N'ezie, ana m edo onwe m megide ndị ahụ niile na-ebu amụma nro ụgha."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara. "Ha ji okwu ụgha ha na-agwa ndị m okwu, na-
eduhie ha, ma ọ bụghị m họpụtara ha. Ọ bụkwaghị m zitere ha. Okwu ha adịghịkwa
abara ndị m uru ọbụla." Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

*Ndị amụma ụgha na ịjụ ase ụgha.*

33 "Mgbe ndị a, maọbụ ndị amụma ha, maọbụ ndị nchụaja ha, jụrụ gị ajụjụ sị gị,
'Gịnị bụ ozi i si n'ọnụ ONYENWE ANYỊ nata?' Ị ga-asa ha sị, 'Ozi nke ole?§ Aga m
agbakụta unu azụ, ya bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwubiri.' 34 Ọ bụrụ na onye amụma
maọbụ onye nchụaja maọbụ onye ọbụla ọzọ ekwuo sị, 'Ihe dị otu a bụ ozi* si n'ọnụ
ONYENWE ANYỊ,' aga m ata onye ahụ kwuru okwu ahụ na ndị ezinaụlọ ya ahụhụ. 35 Ihe
ndị a bụ ihe unu na-agwarịta onwe unu n'otu n'otu. Ọ bụ ihe enyi na-agwa enyi ya,
na ihe nwanna na-agwa nwanna Izrel ibe ya. Unu na-asị, 'Gịnị bụ ọsịsa ONYENWE
ANYỊ nyere?' maọbụ, 'Gịnị bụ okwu e si n'ọnụ ONYENWE ANYỊ nata?' 36 Kwụsịnụ
ịjụgharị ajụjụ banyere ihe ONYENWE ANYỊ kwuru, n'ihi na okwu onye ọbụla n'ime
unu kwuru na-aghọrọ onye ahụ ihe si n'ọnụ ONYENWE ANYỊ pụta. Site n'ụzọ dị otu
a unu na-agbanwe ma na-asụgharịkwa okwu Chineke dị ndụ isi, bụ okwu ONYENWE
ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, onye bụ Chineke anyị. 37 Ihe ndị a niile bụ ihe unu
na-ajụkarị onye amụma, 'Gịnị bụ ọsịsa ONYENWE ANYỊ nyere gị? Maọbụ, gịnị ka
ONYENWE ANYỊ kwuru?' 38 Ọ bụ ezie na unu na-ekwu sị, 'Ihe ndị a bụ ozi si n'aka
ONYENWE ANYỊ,' ma lee ihe ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Unu na-ekwu okwu ndị a, 'Ihe a
bụ ozi si n'aka ONYENWE ANYỊ,' ọ bụladị mgbe m gwarala unu si unu asịkwala 'Ihe
ndị a bụ ozi n'aka ONYENWE ANYỊ.' 39 Ya mere, mụ onwe m ga-echezo unu kpamkpam
ma sitekwa n'ihu m chụpụ unu na obodo a nke m nyere unu na nna nna unu ha.
40 Aga m eme ka ịta ụta ebighị ebi bịakwasị unu. Aga m etinyekwa unu n'ọnọdụ
ihere nke ga-adịgide ruo ebighị ebi, e, ọnọdụ ihere nke a na-agaghị echefu echefu."

# 24

*Nkata fiig abụọ*

1 Emesịa, ONYENWE ANYỊ gosiri m nkata fiig abụọ, nke a dọbara n'ihu ụlọnsọ
ONYENWE ANYỊ. N'oge a, Nebukadneza eze Babilọn esitelarị na Jerusalem dọkpụrụ
Jehoiakin nwa Jehoiakim, eze Juda, na ndịisi Juda, na ndị ọka, na ndị ụzụ, mee ka ha
gaa biri na Babilọn, nke dị na mba ọzọ. 2 Otu nkata nwere mkpụrụ fiig mara mma,
dịka ndị ahụ na-ebu ụzọ acha, nkata nke ọzọ nwere mkpụrụ fiig nke jọrọ njọ, ha jọrọ
njọ na mmadụ enweghị ike ịracha ha.
3 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ jụrụ m ajụjụ sị m, "Jeremaya, gịnị ka ị hụrụ?"
Azara m sị ya, "Ahụrụ m mkpụrụ fiig. Ụfọdụ dị nnọọ ezi mma, ma ndị ọzọ jọrọ
njọ. Ha adịghịkwa mma nracha."

† **23:29** 23:29 Maọbụ, na-ajụ ajụjụ sị ‡ **23:29** 23:29 Lit. Hama § **23:33** 23:33 Akwụkwọ ụfọdụ na-asị, unu onwe unu bụ isi okwu ya * **23:34** 23:34 Maọbụ, okwu

4 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 5 “Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, bụ
Chineke Izrel kwuru: Ndị ahụ m mere ka e si na Juda dọta n’agha, ndị e buuru gaa
n’ala Kaldịa dị m dịka mkpụrụ osisi fiig ndị a mara mma. 6 Anya m ga-adịkwasị ha
n’ahụ ịhụ na ihe gaara ha nke ọma. Aga m akpọghachitekwa ha n’ala a. Aga m
ewulikwa ha elu ghara ikwada ha; Aga m akụ ha dịka osisi ghara ihopu ha. 7 Aga
m enye ha ụdị obi ha ga-eji mata m, na m bụ ONYENWE ANYỊ. Ha ga-abụ ndị m, mụ
onwe m ga-abụkwa Chineke ha. N’ihi na obi ha niile ka ha ga-eji lọghachikwute m.
8 “ ‘Ma dịka fiig ọjọọ ndị a, bụ ndị dị njọ nke ukwuu na-enweghị ike iri ha eri,’
ONYENWE ANYỊ sịrị, ‘otu a ka m gaa emeso Zedekaya, eze Juda, na ndịisi ọchịchị ya,
na ndị ahụ niile fọdụrụ ndụ na Jerusalem, ma ha bi n’ime ya, maọbụ biri n’Ijipt.
9 Aga m eme ka ha ghọọrọ alaeze niile nke ụwa ihe ịsọ oyi, na ihe na-eweta obi ọjọọ.
Ha ga-aghọ ihe ịta ụta, na ihe e ji akọ akụkọ, na ihe nkọcha na ihe ịbụ ọnụ n’ebe
ọbụla m mere ka ha gaa biri. 10 Aga m ezigakwa mma agha na ụnwụ na ọrịa na-efe
efe n’etiti ha, tutu ruo mgbe e mere ka ha gwụsịa n’elu ala ahụ nke m nyere ha,
nyekwa ndị bụ nna nna ha.’ ”

# 25

*Iri afọ asaa nke ịdọta n’agha*

1 Okwu ruru Jeremaya ntị banyere ndị Juda niile, n’afọ nke anọ nke ọchịchị
eze Jehoiakim, nwa Josaya na Juda. Ọ bụkwa n’afọ nke mbụ nke ọchịchị eze
Nebukadneza na Babilọn. 2 Ya mere, ihe ndị a ka Jeremaya, bụ onye amụma gwara
ndị Juda na ndị niile bi na Jerusalem: 3 Kemgbe afọ iri abụọ na atọ, sitekwa n’afọ
iri na atọ nke ọchịchị eze Josaya nwa Amọn, bụ eze Juda ruo taa, ka okwu ONYENWE
ANYỊ ruru m ntị, a gwara m unu okwu, mgbe na mgbe, ma unu jụrụ ige ntị n’ihe m
gwara unu.
4 Ọ bụkwa ezie na ONYENWE ANYỊ eziterela unu ndị ohu ya bụ ndị amụma site
n’oge ruo n’oge ma unu ajụla ige ntị. Unu jụkwara ịṅa ntị n’ihe ha na-ekwu. 5 Ozi
ha ziri unu bụ nke a, “Unu niile n’otu n’otu sitenụ n’ụzọ ọjọọ unu na ndụ ọjọọ unu
tụgharịa, ka unu nwee ike ibigide n’ala a ONYENWE ANYỊ nyere unu na nna nna unu
ha ruo mgbe ebighị ebi. 6 Unu agbasola maọbụ fee, maọbụ kpọọ isiala nye chi ndị
ọzọ; unu ejila arụsị unu ji aka unu mee kpasuo m iwe, ka m ghara imerụ unu ahụ.
7 “Ma unu jụrụ ige m ntị,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara. “Unu ejirila arụsị
unu ji aka unu mee kpasuo m iwe, si otu a wetara onwe unu mmerụ ahụ.”
8 Ya mere, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-asị, “Ebe ọ bụ na unu ajụla
ige ntị n’okwu m. 9 Aga m akpọku ndị ahụ si n’ugwu, ha na ohu m bụ Nebukadneza,
eze Babilọn.” Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, “Aga m eme ka ha bịa megide ala
a, na ndị bi n’ime ya. Ha ga-emegidekwa mba niile gbara ala a gburugburu. Aga
m ebibi ha niile kpamkpam, mee ha ka ha ghọọ ihe iju anya, na ihe a na-eleli. Ha
ga-aghọkwa mkpọmkpọ ebe ruo mgbe ebighị ebi. 10 Aga m emekwa ka olu obi ụtọ
na ọṅụ, na olu ndị ikom na ndị inyom na-alụ di na nwunye, na olu ndị na-akwọ ọka,
na ìhè nke oriọna na-enye, hapụkwa ịdị n’ime ya. 11 Ala a niile ga-aghọ mkpọmkpọ
ebe tọgbọrọ n’efu, mba ndị a niile ga-ejere eze Babilọn ozi iri afọ asaa.
12 “Ma mgbe iri afọ asaa zuru, aga m ata eze Babilọn na mba ya, bụ ala ndị Babilọn,
ahụhụ n’ihi ajọ omume ha,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, “Aga m emekwa ka ala
ahụ ghọọ mkpọmkpọ ebe ruo mgbe ebighị ebi. 13 Aga m emekwa ka ihe niile m buru
ụzọ kwuo megide ala ahụ bịakwasị ya, bụ ihe niile e dere n’akwụkwọ a, na ihe niile
Jeremaya buru n’amụma megide mba niile dị iche iche. 14 A ga-eme ka ha ghọọ ndị
ohu nye mba dị iche iche na nke ndị eze dị ukwuu. Aga m akwụghachikwa ha dịka
omume ha si dị, na dịka akaọrụ ha si dịkwa.”

*Iko ọnụma Chineke*

15 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel gwara m, "Nara m iko a dị m n'aka, nke
a gbajuru mmanya ọnụma m, gaa mee ka mba niile m zigara gị ijekwuru ṅụrụ site
na mmanya ọnụma m dị n'ime ya. 16 Mgbe ha ṅụrụ ya, ha ga-adagharị, malitekwa
ịyị ara n'ihi mma agha, nke m ga-ezite n'etiti ha." 17 Ya mere, esi m n'aka ONYENWE
ANYỊ nara iko ahụ, meekwa ka mba ndị ahụ niile o ziri m ka m jekwuru ṅụrụ ihe dị
n'ime ya.

18 Jerusalem na obodo Juda niile, na ndị eze ha, na ndịisi ọchịchị ha, si n'iko ahụ
ṅụrụ ihe dị n'ime ya, n'ihi ime ka e bibie ha, ka ha ghọọ ihe iju anya, na ihe
nkọcha, na ihe a bụrụ ọnụ, dịka ha dị taa.
19 Fero, eze Ijipt, na ndị na-ejere ya ozi, na ndịisi ọchịchị ya, na ndị ya niile, 20 na
ndị mba ọzọ niile bi n'ebe ahụ;
na ndị eze Uz;
na ndị eze ndị Filistia niile, bụ nke ndị Ashkelọn, na Gaza, na Ekrọn, na ndị fọdụrụ
n'ime Ashdọd.
21 Ndị eze Edọm, na Moab, na ndị Amọn;
22 na ndị eze Taịa na Saịdọn,
na ndị eze obodo ha dị n'akụkụ osimiri, nke dị n'ofe nke ọzọ;
23 na ala Dedan, na Tema, na Buz, na ndị niile bi n'ebe dị anya.
24 Na ndị eze Arebịa, na ndị eze mba niile ndị ahụ bi n'ọzara;
25 na ndị eze Zimri, na Elam, na Midia;
26 na ndị eze ala dị n'ugwu, na mba dị nso, na mba dị anya, ha niile n'otu n'otu, na
alaeze niile dị n'ụwa.
Mgbe eze ndị a niile ṅụtụrụ site n'ihe dị n'iko ahụ, eze Sheshak ga-esitekwa na ya
ṅụrụ.

27 "Mgbe ahụ, gwakwa ha sị, 'Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
bụ Chineke Izrel kwuru: Ṅụọnụ, ṅụbiganụ oke; gbọọkwanụ agbọọ, daanụ n'ala ebe
unu na-agaghị esi bilitekwa ọzọ, n'ihi mma agha m ga-ezite n'etiti unu.' 28 Ọ bụrụ
na ha ajụ ịnara gị iko a site na ya ṅụtụ ihe dị ya n'ime, gwa ha sị, 'Unu ga-aṅụrịrị
ya, n'ihi na otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru. 29 Lee, ana m
amalite ime ka mbibi bịakwasị obodo ahụ a kpọkwasịrị aha m. Ma unu ga-esi aṅaa
gbanarị ahụhụ? Unu agaghị agbanarị ahụhụ, n'ihi na ana m enye iwu ka e webata
mma agha n'etiti ndị niile bi n'ụwa. Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
kwubiri.'
30 "Ugbu a buo amụma ndị a niile megide ha, sị ha,
" 'ONYENWE ANYỊ ga-esi n'elu bigbọọ;
ọ ga-esitekwa n'ebe obibi ya dị nsọ mee ka olu ya daa ụda.
Ọ ga-ebigbọsị ike megide ala ya
Ọ ga-eti mkpu dịka ndị ahụ na-azọcha mkpụrụ vaịnị;
ọ ga-eti mkpu megide ndị niile bi n'ụwa.
31 Ụda mkpọtụ ahụ ga-eru na nsọtụ niile nke ụwa,
n'ihi na ONYENWE ANYỊ ga-ebo mba niile nke ụwa ebubo.
Ọ ga-eme ka ikpe ọmụma rute mmadụ niile,
meekwa ka e jiri mma agha bibie ndị ajọ omume.' "
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
32 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru,
"Lee, mbibi na-agbasa
site n'otu mba na-eru na mba ọzọ;
oke ifufe na-abịakwa

site na nsọtụ niile nke ụwa."
33 N'oge ahụ, ndị ahụ ONYENWE ANYỊ ga-egbu ga-atọgbọrọ n'ebe niile, site n'otu nsọtụ
nke ụwa ruo na nke ọzọ. A gaghị eli ha, o nwekwaghị onye ga-akwa ha. Kama ha
ga-atọgbọrọ n'ala dịka unyi.
34 Kwasienụ akwa ike, unu ndị ọzụzụ atụrụ, tiekwanụ mkpu akwa;
tụrụọnụ onwe unu n'ala, unu ndị ndu nke igwe ewu na atụrụ.
N'ihi na oge a ga-egbu unu eruola,
unu ga-adakwa tiwasịa dịka ite aja.
35 Ndị ọzụzụ atụrụ agaghị enwe ebe ha ga-agbaga ọsọ;
ndị ndu igwe ewu na atụrụ agaghị enwekwa ebe ha ga-ezo onwe ha.
36 Geenụ ntị ka unu nụrụ ịkwa akwa ndị ọzụzụ atụrụ,
geenụ ntị nụrụ mkpu akwa ndị ndu igwe ewu na atụrụ,
n'ihi na ONYENWE ANYỊ na-ebibi ebe ịta nri ha.
37 Ebe mmakpu ọma niile nke anụ ụlọ ga-aghọkwa mkpọmkpọ ebe,
n'ihi oke iwe nke ONYENWE ANYỊ.
38 Ọ ga-apụkwute ha, dịka ọdụm si esi n'ebe ndina ya na-apụta ịchụ anụ ọhịa.
Ọ ga-eme ka ala ha ghọọ mkpọmkpọ ebe,
n'ihi mma agha nke onye mmegbu,
na n'ihi oke iwe ONYENWE ANYỊ.

## 26

*Mba ọnwụ a baara Jeremaya*

1 Na mmalite oge ahụ, Jehoiakim nwa Josaya eze Juda bidoro ịchị ndị Juda,
ONYENWE ANYỊ mere ka okwu ya rute Jeremaya ntị. 2 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ
kwuru, "Guzo n'ogige ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. Nọdụ n'ebe ahụ gwa ndị niile si n'obodo
Juda bịa ịkpọ isiala n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ okwu. Gwa ha ihe ahụ niile m nyere gị
n'iwu. Mee ka ihe ndị ahụ niile m nyere gị n'iwu rute ha ntị, na-afọdụghị otu. 3 Ma
eleghị anya ha ga-anụ, si na mmehie ha chegharịa. Mgbe ahụ, mụ onwe m ga-eme
ka ihe ọjọọ ahụ m na-ezube na ọ ga-abịakwasị ha ghara ịbịakwasị ha. 4 Gwa ha sị,
'Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru: Ọ bụrụ na unu ajụ ige m ntị, jụkwa ịgbaso iwu m,
nke m nyere unu. 5 Ọ bụrụkwa na unu ajụ ige ntị n'okwu ndị ohu m bụ ndị amụma
ahụ m ziteere unu site n'oge ruo n'oge (ndị unu nọgidekwara jụ ige ntị), 6 mgbe ahụ,
aga m eme ka ụlọnsọ a dịrị ka Shaịlo. Aga m emekwa ka obodo a bụrụ obodo a bụrụ
ọnụ n'etiti mba niile dị n'ụwa.' "
7 Ndị nchụaja, na ndị amụma, na ndị mmadụ ndị ọzọ nọ n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ
nụrụ mgbe Jeremaya kwuru okwu ndị a niile. 8 Mgbe Jeremaya kwusiri okwu ndị ahụ
ONYENWE ANYỊ sị ya kwuo, ndị nchụaja ahụ, na ndị mmadụ ndị ọzọ, na ndị amụma
ahụ niile, jidere ya sị ya, "Ị ghaghị ịnwụ! 9 Gịnị mere i ji buo amụma na ụlọnsọ
a ga-adị ka Shaịlo? Gịnịkwa mere i ji akwado na obodo a ga-aghọ mkpọmkpọ ebe,
nke onye ọbụla na-agaghị ebikwa n'ime ya?" N'oge ahụ, ndị mmadụ ahụ niile gbara
Jeremaya gburugburu n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ.
10 Mgbe ndịisi ọchịchị Juda nụrụ ihe ndị a na-eme, ha sitere n'ụlọeze bilie pụọ,
jee n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. Mgbe ha ruru n'ebe ahụ, ha weere ọnọdụ n'ọnụ ụzọ
ama ọhụrụ nke dị n'ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. 11 Mgbe ahụ, ndị nchụaja na ndị amụma
gwara ndịisi ọchịchị ahụ okwu sị ha: "O kwesiri ka a maa nwoke a ikpe ọnwụ, n'ihi
na o buru amụma megide obodo a. Unu onwe unu ji ntị unu nụrụ ihe o kwuru."
12 Mgbe ahụ, Jeremaya gwara ndịisi ọchịchị ahụ na mmadụ niile nọ n'ebe ahụ
okwu sị ha, "Ọ bụ ONYENWE ANYỊ zitere m ibu amụma megide ụlọnsọ a na obodo
a. Okwu niile m kwuru, nke unu nụrụ, bụ ihe ONYENWE ANYỊ ziri m ikwu. 13 Ma
ọ bụrụ na unu emee ka ụzọ unu na omume unu zie ezi, ọ bụrụ na unu erube isi

nye ONYENWE ANYỊ Chineke unu, mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ihe ọjọọ ahụ o
zubere na ọ ga-abịakwasị unu ghara ịbịakwasị unu. [14] Ma n’ebe mụ onwe m nọ, lee
adị m unu n’aka, jirinụ m mee ihe ọbụla ziri unu ezi n’anya nke dịkwa mma n’anya
unu. [15] Ma ghọtakwanụ nke ọma, na ọ bụrụ na unu emee ka m nwụọ, unu ga-eweta
ikpe ọmụma nke igbu onye aka ya dị ọcha n’isi unu. Ikpe ọmụma ga-adịkwara obodo
a na ndị bi n’ime ya, n’ihi na eziokwu, ONYENWE ANYỊ zitere m ikwupụta na ntị unu
okwu ndị a niile.”

[16] Mgbe ahụ, ndịisi ọchịchị na ndị mmadụ ahụ niile gwara ndị nchụaja na ndị
amụma okwu sị ha, “O kwesighị ka a maa nwoke a ikpe ọnwụ n’ihi na ọ gwara anyị
okwu site n’aha ONYENWE ANYỊ Chineke anyị.”

[17] Ụfọdụ n’ime ndị okenye nọ n’ebe ahụ pụtara n’ihu ọha mmadụ ahụ gwa ha okwu
sị, [18] “Maịka onye Moreshet buru amụma n’oge Hezekaya, bụ eze Juda. Ọ gwara ndị
Juda niile, sị ha, ‘Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru:

“ ‘A ga-akọgharị Zayọn dịka ala ubi.
Jerusalem ga-aghọ ebe e kpokọtara nkume na ngwongwo ụlọ dakpọrọ adakpọ,
ugwu nke ụlọnsọ ukwu ahụ ga-aghọ ebe dị elu nke oke ọhịa tochiri.’

[19] “Hezekaya bụ eze Juda, na ndị Juda niile, ha mere ya ka ọ nwụọ? Hezekaya ọ tụghị
egwu ONYENWE ANYỊ, rịọọ amara na ihuọma ya? Ọ bụ na ONYENWE ANYỊ atụgharịghị
uche, mee ka ihe ọjọọ o kwuru megide ya gharakwa imezu? Ma anyị na-achọ iwetara
onwe anyị ihe ọjọọ nke oke mbibi.”

[20] (Ụraya nwa Shemaya, onye si Kiriat Jearim pụta, bụkwa onye ọzọ buru amụma
site n’aha ONYENWE ANYỊ. Amụma o buru megide obodo a na ala a bụkwa ụdị amụma
nke Jeremaya na-ebu. [21] Mgbe Jehoiakim bụ eze na ndịisi ọchịchị nụrụ amụma Ụraya
na-ebu, ha gbalịrị ijide ya gbuo ya, ma Ụraya nụrụ ihe ha zubere ime. Ya mere, Ụraya
nụrụ ya gbapụ ọsọ gbalaa Ijipt n’ihi egwu. [22] Ma eze bụ Jehoiakim, zipụrụ Elnatan
nwa Akboa na ụfọdụ ndị ikom ọzọ ka ha gaa Ijipt jide Ụraya. [23] Ha si n’Ijipt kpọlata
Ụraya, duru ya gaa n’ihu Jehoiakim bụ eze, onye nyere iwu ka e jiri mma agha gbuo
ya. A tụnyere ozu ya n’ebe a na-eli ndị mmadụ efu n’ala ahụ.)

[24] Ma otu ọ dị, Ahikam nwa Shefan, dịnyeere Jeremaya, n’ihi ya a raraghị Jeremaya
nye n’aka ndị mmadụ ka ha gbuo ya.

# 27

*Juda ga-aghọ onye na-ejere Nebukadneza ozi*

[1] Na mmalite ọchịchị Zedekaya, nwa Josaya eze Juda, okwu ndị a si n’ọnụ ONYENWE
ANYỊ rute Jeremaya ntị. [2] Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ gwara m, “Jiri akpụkpọ anụ dị
warawara na ụfọdụ okporo igwe, meere onwe gị ụdị agbụ ahụ a na-amanye ụmụ ehi
n’olu,* nyakwasị ya n’olu gị. [3] Mgbe ahụ, zigara ndị eze Edọm, na Moab, na Amọn,
na Taịa, na Saịdọn ozi site n’ọnụ ndị ozi ha bịara Jerusalem iwetara Zedekaya eze
Juda ozi. [4] Zie ha ozi ha ga-ezi ndị nwe ha, sị, ‘Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ
ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, sị, “Zienụ ndị nna unu ukwu ozi a, sị, [5] Ọ bụ
site n’ike aka m, na site n’ogwe aka m, nke e setịrị eseti, ka m ji mee ụwa, na mmadụ,
na anụmanụ dị n’ime ya. Mụ onwe m ka ọ dịkwara ikpebi itinye ha niile n’aka onye
ọbụla m họpụtara dịka o si dị m mma. [6] Ugbu a, ana m ewere alaeze unu niile
nyefee ya n’aka onye na-ejere m ozi bụ Nebukadneza eze Babilọn; aga m emekwa ka
ọ bụladị ụmụ ajọ anụ ọhịa mee ihe o nyere n’iwu. [7] Mba niile ga-akpọ isiala nye ya;
ha ga-akpọkwa isiala nye nwa ya na nwa nwa ya, tutu ruo mgbe m kpebiri na oge
ha ezuola. Mgbe ahụ, aga m eme ka ọtụtụ mba na ọtụtụ ndị eze merie ya.

[8] “ ‘ “Ma ọ bụrụkwa na mba maọbụ alaeze ọbụla ajụ ife Nebukadneza, bụ eze
Babilọn, maọbụ jụ ijere ya ozi dịka ohu,† aga m eji mma agha na ụnwụ na ọrịa

* **27:2** 27:2 Lit. Yoku † **27:8** 27:8 Ka o si chọọ

na-efe efe, taa mba ahụ ahụhụ, tutu ruo mgbe m bibiri ya site n’aka ya. Otu a ka
ONYENWE ANYỊ kwubiri. 9 Ya mere, unu aṅala ndị amụma unu, na ndị na-ajụ mmụọ
ase, na ndị na-akọwara unu nrọ, na ndị mmụọ ọjọọ si n’ọnụ ha ekwu okwu, na ndị
mgbaasị ntị. Unu aṅala ha ntị mgbe ha na-asị unu, ‘Unu agaghị abụ ndị ohu eze
Babilọn.’ 10 N’ihi na ọ bụ naanị amụma ụgha ka ha na-eburu unu, okwu ụgha nke
ga-eme ka e site n’ala unu wezuga unu, bulaa unu ala dị anya. Aga m esi n’ala unu
chụsaa unu. Unu ga-alakwa n’iyi. 11 Ma ọ bụrụ na mba ọbụla ekwere ịbụ ohu eze
Babilọn, kwenyekwa ife ya ofufe, mba ahụ ka m ga-eme ka ọ nọgide n’ala nke aka
ya. Ọ ga-akọ ala ahụ, birikwa n’ime ya. Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.” ’ ”

12 Otu ozi ahụ ka m ziri Zedekaya, bụ eze Juda. Asịrị m, “Were olu‡ gị nyefee eze
Babilọn n’aka dịka ohu, feekwa ya na ndị ya, ị ga-adịkwa ndụ. 13 N’ihi gịnị ka gị
na ndị gị ga-eji nwụọ site na mma agha, na site n’ụnwụ na ọrịa na-efe efe, dịka nke
ONYENWE ANYỊ kwurula banyere mba ọbụla nke na-agaghị efe eze Babilọn? 14 Egela
ntị n’okwu ndị amụma na-agwa gị sị, ‘Unu agaghị efe eze Babilọn,’ n’ihi na ọ bụ
okwu ụgha ka ha na-agwa unu. 15 ‘Ọ bụghị m zitere ha,’ otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwupụtara. ‘Ha ji aha m na-ebu amụma ụgha. N’ihi ya, aga m achụpụ unu, unu
ga-alakwa n’iyi, unu na ndị amụma ahụ na-eburu unu amụma.’ ”

16 Mgbe ahụ, agwara m ndị nchụaja na ndị mmadụ niile okwu sị ha, “Ihe ndị a ka
ONYENWE ANYỊ kwuru: Unu egela ndị amụma ahụ ntị, bụ ndị na-asị unu, ‘Na mgbe
na-adịghị anya a ga-ebughachi ngwongwo ahụ e si n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ bulaa
Babilọn.’ Ọ bụ amụma ụgha ka ha na-eburu unu. 17 Unu egela ha ntị. Feenụ eze
Babilọn, n’ihi na ọ bụ naanị site n’ụzọ ahụ ka unu ga-esi dịrị ndụ. N’ihi gịnị ka
unu ga-eji kwenye ka obodo a ghọọ mkpọmkpọ ebe? 18 Ọ bụrụ n’ezie na ọ bụ okwu
ONYENWE ANYỊ si n’ọnụ ndị amụma a na-apụta, ha rịọọnụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ
ime ihe niile arịrịọ ka ọ hapụ ikwe ka e bukọrọ ngwongwo fọdụrụ n’ime ụlọnsọ
nakwa ndị fọdụrụ n’ụlọeze Juda, na n’ime Jerusalem bulaa Babilọn. 19 N’ihi na
ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru banyere ogidi niile ndị
ahụ, na Oke osimiri bronz ahụ, na ihe ndọkwasị niile, na ihe niile fọdụrụ n’obodo a,
20 nke Nebukadneza, bụ eze Babilọn na-eburughị mgbe o sitere na Juda na Jerusalem,
dọkpụrụ Jehoiakin nwa Jehoiakim, bụ eze Juda, na ndị niile a na-asọpụrụ bulaa
Babilọn. 21 E, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile bụ Chineke Izrel
kwuru banyere ihe niile fọdụrụ n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, na ndị fọdụrụ n’ụlọeze
Juda na n’ime Jerusalem. 22 ‘A ga-eburu ha niile bulaa ha Babilọn. Ebe ahụ ka ha
ga-anọkwa tutu ruo mgbe m ga-abịa leta ha,’ ka ONYENWE ANYỊ kwubiri. ‘Mgbe ahụ,
aga m ebulatakwa ha, kpọghachitekwa ha n’ebe a.’ ”

# 28

*Hananaya onye amụma ụgha*

1 O ruo, n’ọnwa nke ise nke otu afọ ahụ, nke bụ afọ nke anọ, na mmalite ọchịchị
Zedekaya eze Juda, Hananaya, nwa Azoa, onye amụma si Gibiọn, gwara m okwu
n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ n’ihu ndị nchụaja na ndị mmadụ si m. 2 “Ihe ndị a ka
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, ‘Aga m agbaji agbụ
nke eze Babilọn. 3 Tupu afọ abụọ agabiga, aga m esi Babilọn bulata ihe ndị ahụ
niile Nebukadneza eze Babilọn si n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ bupụ bulaa Babilọn. 4 Aga
m akpọlatakwa Jehoiakin nwa Jehoiakim, na ndị niile ọzọ e si na Juda dọta n’agha
bulaa Babilọn, n’ihi na aga m agbaji agbụ ahụ eze Babilọn nyanyere ha n’olu.’ ” Otu
a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

5 Mgbe ahụ, Jeremaya onye amụma zara Hananaya onye amụma n’ihu ndị nchụaja
na ndị mmadụ niile guzo n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ 6 Jeremaya onye amụma sịrị,

‡ **27:12** 27:12 Ya bụ, onwe

“Amen!* Ka Onyenwe anyị mezuo okwu amụma a i buru site na ibughachite
ngwongwo ụlọ Onyenwe anyị na ịkpọghachite ndị niile e mere ka ha si n’ebe a gaa
biri na Babilọn. 7 Ma gee ntị nụrụ ihe m ga-ekwu n’ihu gị na n’ihu ndị a niile guzo
n’ebe a. 8 Site na mgbe ochie, ndị amụma ahụ bu mụ na gị ụzọ ebuola amụma banyere
agha na mbibi na ọrịa na-efe efe megide ọtụtụ obodo dị iche iche, na ọtụtụ alaeze dị
iche iche. 9 Ma ihe e ji amata na ọ bụ Onyenwe anyị n’ezie, zitere onye amụma buru
amụma kwuo na udo ga-adị, bụ naanị ma ọ bụrụ na amụma ya emezuo.”

10 Mgbe ahụ, Hananaya bụ onye amụma yipụrụ Jeremaya agbụ ahụ o yikwasịrị
onwe ya n’olu gbajie ya. 11 Ọ sịrị n’ihu ọha mmadụ ahụ niile, “Nke a ka Onyenwe
anyị kwuru: ‘Ọ bụ n’otu aka ahụ ka m ga-agbajipụkwa agbụ ịyagba Nebukadneza,
eze Babilọn nyanyere n’olu mba niile tupu afọ abụọ agabiga.’ ” Mgbe o kwuru otu a,
Jeremaya onye amụma hapụrụ ebe ahụ laa.

12 Mgbe Hananaya bụ onye amụma gbajisiri ịyagba† ahụ Jeremaya, onye amụma
nyanyere onwe ya n’olu, okwu Onyenwe anyị ruru Jeremaya ntị sị ya, 13 “Gaa gwa
Hananaya okwu sị ya, ‘Ihe ndị a ka Onyenwe anyị kwuru: Ị gbajiela agbụ e ji osisi
mee, ma n’ọnọdụ ya ihe ị ga-enweta bụ agbụ igwe. 14 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị,
Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel, kwuru. Aga m anyanye mba ndị a niile
agbụ igwe, i mee ka ha fee Nebukadneza eze Babilọn. Ha ga-efekwa ya. Aga m
enyekwa ya ike ọ bụladị n’ebe ụmụ anụ ọhịa dị.’ ”

15 Mgbe ahụ, Jeremaya onye amụma sịrị Hananaya onye amụma, “Gee ntị,
Hananaya! Ọ bụghị Onyenwe anyị zitere gị, ma ị ghọgbuola mba a mee ka ha tụkwasị
uche n’okwu ụgha. 16 N’ihi nke a, otu a ka Onyenwe anyị kwuru, ‘Ekpebiela m isite
n’ụwa wepụ gị. Ị ga-anwụ n’afọ a, n’ihi na i kwusaala nnupu isi megide Onyenwe
anyị.’ ”

17 N’ọnwa asaa nke afọ ahụ Hananaya onye amụma nwụrụ.

## 29

### *Akwụkwọ ozi nye ndị a dọtara n’agha*

1 Ihe ndị a bụ ihe dị n’akwụkwọ ozi Jeremaya onye amụma si Jerusalem degaara
ndị fọdụrụ ndụ n’etiti ndị okenye, na ndị nchụaja, na ndị amụma, na ndị Izrel
Nebukadneza dọtara n’agha si na Jerusalem bulaa ha Babilọn. 2 Nke a bụ mgbe
eze Jehoiakin, nne eze, ndị ozi n’ụlọeze, ndị ndu Juda na Jerusalem, ndị ọka, na ndị
ụzụ sitere na Jerusalem dọta ha n’agha buru ha gaa mba ọzọ. 3 Onye Jeremaya nyere
akwụkwọ ozi a ka o nyeruo ndị e deere ya bụ Eleasa nwa Shefan, na Gemaraya nwa
Hilkaya, ndị Zedekaya eze Juda zigara Babilọn izi Nebukadneza bụ eze ozi.

4 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel na-
agwa ndị niile m mere ka e si na Jerusalem dọta n’agha buru laa Babilọn,
5 “Wuoronụ onwe unu ụlọ, birikwanụ n’ime ya; kụọnụ ihe n’ubi a gbara ogige,
riekwa mkpụrụ si na ya; 6 lụọnụ nwunye, mụọkwanụ ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị
inyom; lụọkwaranụ ụmụ unu ndị ikom nwunye, kwenyekwanụ ka ụmụ unu ndị
inyom lụọ di, ka ha mụọkwa ụmụ ndị ikom na ụmụ ndị inyom. Mụbaanụ n’ebe
ahụ, unu ebilatakwala. 7 Chọọnụ udo nke obodo ahụ m mere ka unu gaa biri n’ime
ya. Kpeekwanụ ekpere nye Onyenwe anyị banyere ya. N’ihi na ọ bụrụ na ihe
agaara obodo ahụ nke ọma, ọ ga-agakwara unu nke ọma.” 8 N’ihi na ihe ndị a ka
Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile bụ Chineke Izrel kwuru, “Unu ekwela ka
ndị amụma ahụ nọ n’etiti unu, na ndị na-ajụ arụsị ase rafuo unu; unu egela ntị
n’akụkọ ha na-akọ banyere nrọ ndị ahụ unu na-akwagide ha ka ha rọọ. 9 N’ihi na

* **28:6** 28:6 Maọbụ, Ya sikwa otu a dịrị † **28:12** 28:12 Lit. Yoku

amụma ha na-ebu n’aha m bụ amụma ụgha. Ọ bụkwaghị m zitere ha.” Otu a ka
ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
10 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, “Mgbe iri afọ asaa m kwadoro maka Babilọn
zuru, aga m abịa mezuo nkwa ahụ m kwere. Aga m eme ka unu lọtakwa n’ebe a.
11 N’ihi na mụ onwe m maara echiche niile m na-eche banyere unu,” ka ONYENWE
ANYỊ kwubiri, “echiche ime ka ihe gaara unu nke ọma, ọ bụkwaghị echiche ime
unu ihe ọjọọ, echiche ime ka unu nwee ezi ọdịnihu, na olileanya kwesiri ntụkwasị
obi. 12 Mgbe ahụ, unu ga-abịakwute m, unu ga-abịa kpọkuokwa m n’ekpere, aga
m egekwa unu ntị. 13 Unu ga-achọsikwa m ike, chọta m ma ọ bụrụ na unu ejiri
obi unu niile chọọ m. 14 Aga m emekwa ka unu chọta m,” otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwubiri, “meekwa ka unu bụ ndị a dọtara n’agha lọta. Aga m esitekwa na mba
ahụ niile m chụgara unu chịkọtaa unu, kpọghachitekwa unu n’ebe ahụ m si chụpụ
unu.” Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
15 Unu pụrụ ị sị, “ONYENWE ANYỊ akpọlite ndị amụma nye anyị na Babilọn.” 16 Ma
ihe ndị a ka Onyenwe anyị na-ekwu banyere eze ahụ na-anọkwasị n’ocheeze Devid,
na banyere ndị mmadụ niile fọdụrụ n’obodo a, bụ ụmụnne unu ndị ahụ na-esoghị
unu gaa ebe e mere ka ha ga biri na mba ọzọ. 17 E, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ,
Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, “Aga m eziga mma agha n’etiti ha, zigakwa ụnwụ
na ọrịa na-efe efe. Aga m eme ha ka ha dị ka mkpụrụ fiig jọgburu onwe ya, nke
mmadụ na-agaghị ata ata. 18 Aga m eji mma agha, na ụnwụ, na ọrịa na-efe efe,
chụọ ha ọsọ. Aga m eme ha ka ha bụrụ ihe alaeze niile nke ụwa ga na-asọ oyi. Ha
ga-abụ ihe ịbụ ọnụ, na ihe iju anya, na ihe nkọcha, na ihe ịta ụta n’etiti mba niile
ebe m ga-achụla ha ọsọ. 19 N’ihi na ha egeghị ntị n’okwu m, bụ okwu si n’ọnụ ndị
ohu m bụ ndị amụma, ndị m zigaara ha mgbe mgbe. Ma unu onwe unu, ndị bi na
mba ọzọ egekwaghị ntị n’okwu m.” Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
20 Ya mere, nụrụnụ okwu ONYENWE ANYỊ, unu niile bụ ndị m mere ka e si na
Jerusalem dọta n’agha gaa Babilọn. 21 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ
ime ihe niile, bụ Chineke Izrel na-ekwu banyere Ehab nwa Kolaya, na Zedekaya
nwa Maaseia, ndị na-ebu amụma ụgha n’aha m, “Aga m ewere ha nyefee n’aka
Nebukadneza bụ eze Babilọn. Ọ ga-etigbukwa ha n’ihu unu. 22 N’ihi ha, ndị niile
e si Juda dọta n’agha buru gaa Babilọn ga na-ekwu okwu nkọcha sị, ‘Ka ONYENWE
ANYỊ mesokwa gị ụdị mmeso o mesoro Zedekaya na Ehab, ndị eze Babilọn tụnyere
n’ọkụ nke regburu ha.’ 23 N’ihi na ha emeela ihe ndị jọgburu onwe ya na njọ
n’Izrel; ha na nwunye ndị agbataobi ha akwaala iko; ha esitekwala n’aha m buo
amụma ụgha, amụma nke m na-enyeghị ha iwu ibu. Amaara m na ihe ndị a bụ
eziokwu, n’ihi na ahụrụ m ya.” Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

### *Ozi e ziri Shemaya*

24 Gwa Shemaya onye Nehelam okwu sị ya, 25 Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye
pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, “I dere akwụkwọ zigara ndị niile bi
na Jerusalem, ha na Zefanaya nwa Maaseia onye nchụaja, na ndị nchụaja ndị ọzọ.
Ị gwara Zefanaya okwu n’akwụkwọ ahụ sị ya, 26 ‘ONYENWE ANYỊ ahọpụtala gị mee
gị onye nchụaja ga-anọchi anya Jehoiada. N’ihi ya, ị bụrụla onyeisi ụlọnsọ ukwu
ONYENWE ANYỊ. Ya mere, o kwesiri ka i jide onye ara ọbụla na-akpọ onwe ya onye
amụma, manye ya agbụ igwe n’ụkwụ, na n’olu ya. 27 Gịnị mere i ji hapụ ịbasiri
Jeremaya, onye Anatot mba ike, onye na-eme onwe ya onye amụma n’etiti unu? 28 O
ziterela anyị ozi dị otu a na Babilọn sị anyị, Unu ga-anọ n’ebe ahụ tee anya. Ya mere,
wuoronụ onwe unu ụlọ, birikwanụ n’ime ya. Kụọnụ ihe n’ubi, riekwanụ ihe si n’ubi
unu.’ ”
29 Zefanaya bụ onye nchụaja, gụrụ akwụkwọ ozi ahụ n’ihu Jeremaya, bụ onye
amụma. 30 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ bịakwutere Jeremaya, sị, 31 “Zigara ndị

ahụ niile e mere ka ha gaa biri na mba ọzọ ozi sị ha, 'Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ
kwuru banyere Shemaya onye Nehelam, Ebe ọ bụ na Shemaya ebuorola unu amụma
mee ka unu tụkwasị obi unu n'okwu ụgha ya, ma ọ bụghị m ziri ya, [32] ihe ndị a ka
ONYENWE ANYỊ kwuru, Mụ onwe m aghaghị ịta Shemaya onye Nehelam na mkpụrụ
ya ahụhụ n'ihi mmehie ya. Ọ gaghị enwe nwoke ọbụla ga-afọdụ ndụ n'etiti ndị ya
niile. Ọ gaghị esokwa unu lekwasị anya n'ihe ọma ahụ niile m na-akwado imere
ndị m, n'ihi na o kwusara nnupu isi megide ONYENWE ANYỊ. Otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwubiri.' "

# 30

*Nlọta ụmụ Izrel*

[1] Ndị a bụ okwu nke sị n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ bịakwute Jeremaya. [2] "Otu a ka
ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel kwuru, 'Dee ihe niile m gwara gị n'ime akwụkwọ. [3] N'ihi
na ụbọchị ndị ahụ na-abịa,' ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara, 'mgbe m ga-akpọghachite
ndị m bụ Izrel na Juda si n'ebe e mere ka ha jee biri na mba ọzọ lọta. Aga m eme ka
ha laghachi n'ala ahụ m nyere nna nna ha, ka ha nwetakwa ya.' Otu a ka ONYENWE
ANYỊ kwuru."

[4] Ma ndị a bụ okwu ONYENWE ANYỊ kwuru banyere Izrel na Juda. [5] "N'ihi na otu a
ka ONYENWE ANYỊ kwuru,

" 'A na-anụ mkpu akwa sitere n'egwu,
nke oke egwu, ọ bụghị udo.
[6] Jụọnụ ajụjụ, ma hụ,
nwoke ọ pụrụ ịmụ ụmụ?
Gịnịkwa mere m ji na-ahụ ndị ikom dị ike
ka ha tụkwasịrị aka ha n'ukwu ha dịka nwanyị ime na-eme,
ihu onye ọbụla gbanwekwara dịka nke onye na-anwụ anwụ?
[7] Ụbọchị dị oke egwu ka ụbọchị ahụ ga-abụ.
O nwekwaghị ụbọchị ga-adị ka ya.
Ọ ga-abụ oge oke nsogbu nye Jekọb,
ma a ga-anapụta ya site na ya.

[8] " 'N'ụbọchị ahụ,'
'aga m agbaji ihe ịnya n'olu a nyakwasịrị ha n'olu,
tibisikwaa agbụ niile e kere ha.
Ha agaghị abụkwa ndị ohu nye ndị mba ọzọ, ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri.
[9] Kama ha ga-efe ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ha,
na Devid eze ha,
onye m ga-esi n'etiti ha mee ka o biliere ha.

[10] " 'Ya mere, atụla egwu, gị Jekọb, ohu m.
Atụkwala ụjọ* gị Izrel,'
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
'Aghaghị m ịzọpụta gị site na mba ahụ dị anya,
zọpụtakwa ụmụ ụmụ gị site na mba ahụ e mere ka ha gaa biri n'ime ya.
Jekọb ga-emesịakwa biri n'udo na nchebe.
Ọ dịkwaghị onye ga-eme ka ụjọ tụọ ya ọzọ.
[11] N'ihi na mụ onwe m nọnyeere gị, aga m azọpụtakwa gị,'
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

* **30:10** 30:10 Ya bụ, adakwala mba

‘A sịkwarị na m alaa mba ndị ahụ niile n’iyi,
bụ mba ndị ahụ m chụbanyere gị n’ime ha,
agaghị m ebibi gị onwe gị kpamkpam.
Aga m adọ gị aka na ntị maọbụ dịka o kwesiri,†
ị gaghị agbanarị ịta ahụhụ.’
12 “Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwukwara,
“ ‘Ọnya dị gị n’ahụ enweghị ngwọta,
mmerụ ahụ i merụrụ dị ukwuu, ọ pụghị ịla ala.
13 O nweghị onye na-ekpechitere gị ọnụ gị,
o nweghị ọgwụ dị nke e ji eme ka ọnya gị laa.
Olileanya adịghị na a ga-agwọ gị.
14 Ndị niile gị na ha dị na mma e chezọọla gị;
ha adịghị echetakwa gị n’echiche uche ha.
E tieela m gị ihe dịka onye iro gị ga-esi tie gị ihe;
ataala m gị ahụhụ dịka onye na-enweghị obi ebere ga-esi taa gị ahụhụ,
n’ihi na ajọ omume gị bara ụba nke ukwuu,
mmehie gị dịkwa ọtụtụ.
15 Gịnị mere i ji na-akwa akwa n’ihi ọnya dị gị n’ahụ?
Gịnị mere i ji na-akwa akwa n’ihi ihe mgbu nke na-enweghị ọgwụgwọ?
Emere m ka ihe ndị a bịakwasị gị n’ihi ịba ụba nke ajọ omume gị,
na n’ihi ọtụtụ mmehie gị.

16 “ ‘Ma a ga-erepịa ndị niile na-eripịa gị;
ndị iro gị niile, ha niile n’otu n’otu, ka a ga-adọta n’agha buru gaa mba ọzọ.
Ndị na-apụnara gị ihe i nwere n’ike ka a ga-apụnarakwa ha ihe ha nwere n’ike.
Ndị niile na-alụtakwa ihe inwere n’agha ka a ga-enye ka ha ghọọ ihe nlụta n’agha.
17 Ma aga m eme ka ahụ sie gị ike;
aga m agwọkwa ọnya gị niile,’ otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
‘N’ihi na a na-akpọ gị onye a jụrụ ajụ.
Gị Zayọn, nke o nweghị onye na-elekọta ya.’
18 “Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“ ‘Lee, ana m aga ime ka Jekọb nwetaghachi ụlọ ikwu‡ ya;
aga m enwekwa obi ebere n’ebe obibi ya.
A ga-ewugharị obodo ahụ n’elu mkpọmkpọ ebe ya;§
ụlọeze ga-eguzokwa n’ọnọdụ kwesiri ya.
19 N’ebe ahụ ka a ga-esi na-anụ olu abụ ekele,
na olu ndị na-aṅụrị ọṅụ.
Aga m eme ka ha baa ụba n’ọnụọgụgụ,
ha agaghị adịkwa ole na ole.
Aga m eme ka ha bụrụ ndị a na-asọpụrụ,
ndị a na-agaghị eledakwa anya.
20 Ụmụ ha ga-adịkwa ka ụmụntakịrị ndị mgbe ochie ahụ,
nzukọ ha ga-eguzosikwa ike n’ihu m.
Aga m atakwa ndị ahụ na-emegbu ha ahụhụ.
21 Onyendu ha ga-abụ otu onye n’ime ndị ha;
onye ga-achị ha ga-esi n’etiti ha pụta.
Aga m akpọbata ya nso ebe m nọ, ọ ga-abịaru m nso,
n’ihi na olee mmadụ ahụ nke pụrụ inyefe onwe ya kpamkpam,

† **30:11** 30:11 Dịka o ziri ezi n’ikpe ‡ **30:18** 30:18 Ya bụ, ebe obibi § **30:18** 30:18 Ụfọdụ akwụkwọ na-asị n’elu ugwu ya

maka ịbịaru m nso?'
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
22 'N'ụzọ dị otu a unu ga-abụ ndị m,
mụ onwe m kwa ga-abụ Chineke unu.' "

23 Lee, ONYENWE ANYỊ ga-esite n'ọnụma ya
mee ka oke ifufe ya fee.
Ọ ga-efekwasị ndị na-emebi iwu
dịka ifufe na-efesi ike.
24 Iwe ọkụ ONYENWE ANYỊ agaghị akwụsị
tutu ruo mgbe o mezuru
ihe ndị o bu n'obi.
N'ụbọchị ndị ahụ na-abịa
unu ga-aghọta ihe ndị a.

# 31

1 "N'oge ahụ," otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara ya, sị, "Aga m abụ Chineke nke
agbụrụ Izrel niile. Ha ga-abụkwa ndị m."
2 Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Ndị ahụ gbanarịrị mma agha
ga-ahụta ihuọma n'ọzara.
Aga m abịa iwetara Izrel izuike."
3 ONYENWE ANYỊ mere ka anyị hụ ya anya site n'ebe dị anya, na-asị,
"Ọ bụ ịhụnanya nke na-adịgide ruo mgbe ebighị ebi ka m ji hụ gị n'anya;
Ọ bụ ebere nke na-adịghị agbanwe ka m ji dọta unu nso.
4 Aga m ewulikwa gị elu ọzọ,
e, aga m eme ka ị bụrụ ihe e wugharịrị ọzọ, gị Izrel bụ nwaagbọghọ na-amaghị nwoke.
Mgbe ahụ, ị ga-eji ihe iti egwu gị pụọ
soro ndị ọṅụ juru obi tee egwu.
5 Mgbe ahụ, ị ga-akụkwa ubi vaịnị a gbara ogige
n'elu ugwu Sameria.
Ndị ọrụ ubi kụrụ ya
ga-erikwa mkpụrụ si na ya.
6 Ụbọchị ahụ ga-adị mgbe ndị nche ga-anọ
n'elu ugwu nta niile nke Ifrem tikuo ndị niile sị ha,
'Bịanụ ka anyị jeruo Zayọn,
ka anyị jee n'ihu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị.' "
7 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Tienụ mkpu ọṅụ n'ihi Jekọb,
tienụ mkpu ọṅụ n'ihi onye ahụ kachasị mba niile n'ịdị ukwuu.
Meenụ ka a nụrụ ya, toonu ma na-asịkwanụ,
'ONYENWE ANYỊ, biko, zọpụta ndị gị,
bụ ndị Izrel fọdụrụ.'
8 Lee, aga m esite n'ala ahụ dị n'ugwu kpọta ha;
aga m eme ka e si na nsọtụ niile nke ụwa chịkọtaa ha.
N'etiti ha ka a ga-ahụ ndị kpuru ìsì na ndị ngwụrọ,
na ndị inyom dị ime, na ndị inyom ime na-eme.
Ndị ga-alọta ga-adị nnọọ ukwuu!
9 Ha ga na-akwa akwa mgbe ha na-alọta,
ha ga-anọkwa n'ekpere mgbe m ga-edulata ha.

Aga m edu ha site n'akụkụ iyi,
n'ala dị larịị, ebe ha na-agaghị akpọbi ụkwụ ha,
n'ihi na aghọọlara m Izrel nna,
Ifrem bụkwa ọkpara m.

10 "Nụrụnụ okwu ONYENWE ANYỊ, unu mba niile;
kwusaanụ ya n'ebe dị anya nke ala ahụ dị n'akụkụ osimiri niile.
Onye ahụ chụsara Izrel ga-achịkọtakwa ha.
Ọ ga-elekọtakwa igwe ewu na atụrụ ya dịka onye ọzụzụ atụrụ.
11 N'ihi na ONYENWE ANYỊ ga-agbapụta Jekọb,
ọ ga-anapụtakwa ha site n'aka ndị ka ha ike.
12 Ha ga-abịa nọọ n'ugwu Zayọn tie mkpu ọṅụ,
ha ga-aṅụrị ọṅụ n'ihi ịdị ukwu nke ezi ihe ONYENWE ANYỊ nyere ha,
dịka ọka, na mmanya ọhụrụ, na mmanụ,
na ụmụ igwe ewu na atụrụ, na ọtụtụ ehi.
Ha ga-adị ka ubi a na-agba mmiri mgbe niile;
ha agaghị erukwa ụjụ ọzọ.
13 Mgbe ahụ, obi ga-atọ ụmụ agbọghọ ụtọ, ha ga-etekwa egwu ọṅụ,
ụmụ okorobịa na ndị agadi ga-aṅụrịkwa ọṅụ.
Aga m eme ka iru ụjụ ha ghọọrọ ha obi ụtọ,
aga m enyekwa ha nkasiobi na ọṅụ n'ọnọdụ mwute.
14 Aga m emekwa ka afọ jubiga ndị nchụaja oke n'ihi ịdị ukwuu nke onyinye ha ga-enweta,
afọ ezi ihe m ga-ejukwa ndị m,"*
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
15 Ihe ndị a bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru,
"A nụrụ otu olu na Rema,
iru ụjụ na oke ịkwa akwa.
Rechel na-akwa akwa n'ihi ụmụ ya,
o kwekwaghị ịnabata nkasiobi a na-akasị ya,
n'ihi na ụmụ ya adịghịkwa."
16 Ma otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Jide olu gị aka, ka ọ ghara ịkwa akwa,
jidekwa anya gị abụọ, ka ha ghara ịgba anya mmiri,
n'ihi na a ga-akwụ gị ụgwọ ọrụ n'ihi ọrụ gị."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
"Ha ga-esite n'ala ndị iro ha lọtakwa.
17 N'ihi ya, olileanya dịkwara ọdịn'ihu gị."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
"Ụmụ gị ga-alọtakwa n'ala nke aka ha.

18 "Anụla m nnọọ ịsụ ude Ifrem, na okwu o kwuru sị,
'Ị dọọla m aka na ntị dịka nwa ehi nke na-eme isiike.
Lee, amụtala m ihe ị chọrọ ka m mụta site n'ịdọ aka na ntị gị.
Ya mere, kpọlata m, ka m nwee ike lọtakwa,
n'ihi na ị bụ ONYENWE ANYỊ na Chineke m.
19 Mgbe m kpafuru,
echegharịrị m.
Mgbe m ghọtakwara,
e tiri m aka n'obi m,

* **31:14** 31:14 Ndị m ga-enwejubigakwa ihe niile oke

ihere mere m, ọ wutekwara m
n'ihi n'ọnọdụ ihe ihere n'ihi ụdị ndụ m biri n'okorobịa m.'
20 Ifrem, ọ bụghị nwa m nwoke,
onye ihe ya na-atọ m ụtọ?
Ọ bụ ezie na m na-ekwu okwu megide ya,
ma anọkwa m na-echeta ya.
N'ihi ya, ihe banyere ya na-agụsị obi m agụụ ike.
Ana m enwekwa obi ebere n'ebe ọ nọ."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

21 "Manyenụ ogidi ịhụba ụzọ ama,
manyekwanụ osisi ịhụba ụzọ ama.
Lezienụ anya mụta aha okporoụzọ niile,
bụ okporoụzọ unu ga-eso.
Lọta, gị Izrel, bụ nwaagbọghọ na-amaghị nwoke,
laghachi n'obodo gị ndị a.
22 Ruo ole mgbe ka ị ga-anọ na-awagharị,
gị nwaagbọghọ na-ekwesighị ntụkwasị obi Izrel?
N'ihi na ONYENWE ANYỊ na-aga ime ihe ọhụrụ n'ụwa;
nwanyị ga-anọ nwoke gburugburu."
23 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel, kwuru,
"Mgbe m si na mba ọzọ kpọghachi ha, ndị ga-ebi n'ala Juda na n'ime obodo ya niile
ga-ekwu okwu ndị a ọzọ sị: 'ONYENWE ANYỊ gọzie gị, gị ebe obibi dị nsọ, gị ugwu dị
nsọ.' 24 Ndị mmadụ ga-ebikọta ọnụ na Juda na n'obodo niile dị n'ime ya, ma ndị
na-arụ ọrụ ubi, ma ndị na-elekọta igwe ewu na atụrụ ha. 25 Aga m enwoghakwa ike
ndị na-ada mba, meekwa ka afọ ju ndị ike gwụrụ."
26 N'oge a, esi m n'ụra teta, lee anya gburugburu m. Ụra m rahụrụ tọrọ m ụtọ nke
ukwuu.
27 Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara, "Lee, ụbọchị ndị ahụ na-abịa, mgbe m ga-
akụ ụmụ mmadụ na ụmụ anụmanụ n'ụlọ Izrel na n'ụlọ Juda. 28 Ọ ga-erukwa na dịka
m legidere ha anya maka ihopu ha, ikwada ha, itikpọ ha, laa ha n'iyi, ma mee ka
ihe ọjọọ bịakwasịrị ha, otu a ka m ga-esikwa lezie ha anya iwuzi ha na ịkụ ha dị ka
mkpụrụ." Ọ bụ otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri. 29 "N'ụbọchị ndị ahụ, ndị mmadụ
agaghị asịkwa,
" 'Nna anyị ha arachaala mkpụrụ osisi na-achaghị acha,
ma lee, eze ụmụ ha na-ejiji ejiji.'
30 Kama onye ọbụla ga-anwụ n'ihi mmehie nke aka ya; onye rachara mkpụrụ osisi
na-achaghị acha ka eze ya ga-ejiji.
31 "Lee, oge na-abịa," ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
"mgbe m ga-eme ka ọgbụgba ndụ ọhụrụ dịrị
n'etiti mụ na ụlọ Izrel,
nakwa ụlọ Juda.
32 Ọ bụghị ụdị ọgbụgba ndụ ahụ
mụ na nna nna ha gbara,
mgbe ahụ m jidere ha n'aka
site n'ala Ijipt dupụta ha,
n'ihi na ha mebie ọgbụgba ndụ m,
ọ bụ ezie na mụ onwe m bụ di nye ha,"
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
33 "Ma nke a bụ ọgbụgba ndụ mụ na ụlọ Izrel ga-agba
mgbe oge ndị ahụ gasịrị," ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

“Aga m etinye iwu m n’ime obi ha,
aga m edekwasịkwa ha n’uche ha.
Aga m abụ Chineke ha,
ha onwe ha ga-abụkwa ndị m.
34 Ọ dịghị onye ọbụla n’etiti ha ga-akụziri onye agbataobi ya ihe,
maọbụ otu onye asị ibe ya, ‘Mara ONYENWE ANYỊ,’
n’ihi na ha niile ga-ama onye m bụ,
site n’onye dịkarịsịrị nta ruo n’onye dịkarịsịrị ukwuu n’etiti ha.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
“N’ihi na aga m agbaghara ajọ omume ha,
agaghị m echetakwa mmehie ha niile ọzọ.”
35 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
bụ onye ahụ họpụtara anyanwụ
mee ka ọ na-enye ihe n’ehihie,
onye ahụ nyere ọnwa na kpakpando iwu
ka ha na-enye ihe n’anyasị,
onye na-akpali oke osimiri,
na-eme ka ebiliri mmiri na-ebigbọ.
Aha ya bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile.
36 Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
“Ọ bụ naanị ma ụkpụrụ ndị a ọ pụrụ n’ihu m, ghara ịdịkwa,
ka a ga-eme ka ụmụ ụmụ Izrel ghara ịdị,
ka ha ghara ịbụkwa mba n’ihu m ọzọ.”
37 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“Ọ bụ naanị mgbe e nwere ike ịtụ ma chọpụta ịsa mbara nke mbara eluigwe,
na ịdị omimi nke ntọala ụwa,
ka m ga-ajụ ụmụ ụmụ niile nke Izrel,
n’ihi ihe† niile ha mere.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
38 “Ụbọchị ndị ahụ na-abịa, Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, mgbe a ga-ewugharị
obodo a nye m, site n’ụlọ elu Hananel ruo n’ọnụ ụzọ ama Akụkụ. 39 Ịdị ogologo nke
eriri ọtụtụ a ga-eji tụọ ya ga-adị ka site n’ihu ọnụ ụzọ ama ahụ ruo n’ugwu Gareb,
gaakwa ruo Goa. 40 Ndagwurugwu ahụ niile ebe a tụnyere ozu ndị mmadụ, na ebe
e kpofuru ntụ, na mgbada ugwu ahụ niile ebe e doziri edozi maka ịkụ ihe, ruo na
ndagwurugwu iyi Kidrọn nke dị n’akụkụ ọnụ ụzọ ama ịnyịnya, ga-aghọkwa ebe dị
nsọ nye ONYENWE ANYỊ. A gaghị ehopukwa obodo ahụ ọzọ, maọbụ tikpọọ ya.”

# 32

*Jeremaya azụọ ala ubi*

1 Ihe ndị a bụ okwu ONYENWE ANYỊ nke rutere Jeremaya n’afọ nke iri nke ọchịchị
Zedekaya eze Juda, nke bụkwa afọ nke iri na asatọ nke ọchịchị Nebukadneza. 2 N’oge
a, ndị agha Babilọn gbara Jerusalem gburugburu. E tinyekwara Jeremaya, bụ onye
amụma n’ogige ụlọ ndị nche nke dị n’ụlọeze Juda.
3 Zedekaya eze Juda tụrụ ya mkpọrọ n’ebe ahụ, sị ya, “Gịnị mere i ji na-ebu amụma
dị otu a. N’ihi na ị na-asị, ‘Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, ejikerela m inyefe gị
na obodo a n’aka eze Babilọn. Ọ ga-alụtakwa ya n’agha. 4 Zedekaya eze Juda agaghị
agbapụ site n’aka ndị Babilọn, n’ihi na a ga-enyefe ya n’aka eze Babilọn, onye ya
na ya ga-ekwurịtakwa okwu ihu na ihu. Zedekaya ga-ejikwa anya ya abụọ hụ eze
Babilọn, 5 onye ga-eduru ya, bụ Zedekaya, gaa Babilọn, ebe ọ ga-anọ tutu ruo mgbe

† 31:37 31:37 Ya bụ, ihe ọjọọ

mụ, bụ Onyenwe anyị, mesiri ya ike. Ọ bụrụ na ibuso ndị Babilọn agha, ị gaghị
emeri.’ ”

6 Jeremaya sịrị, “Okwu Onyenwe anyị rutere m ntị, sị, 7 Lee, Hanamel nwa Shalum,
nwanne nna gị, ga-abịakwute gị, sị gị, ‘Zụrụ ala m dị n’Anatot, n’ihi na ebe ị bụ onye
ikwu m ọ bụ gị ka o ruuru ịzụ ya.’

8 “Mgbe ahụ, dịka Onyenwe anyị si kwuo ya, Hanamel nwa nwanne nna m
bịakwutere m n’ogige ndị nche sị m, ‘Zụrụ ala m dị n’Anatot, n’ime ala ndị Benjamin.
Ebe ọ bụ ihe ruuru gị ịgbapụta ya ime ka ọ bụrụ nke gị, ọ bụ gị kwesiri ịzụ ya.’

“Amaara m na nke a bụ okwu Onyenwe anyị. 9 Ya mere, azụrụ m ala ahụ dị
n’Anatot site n’aka nwanna m Hanamel. Atụpụtara m ọlaọcha shekel iri na asaa
ọnụahịa ala ahụ, jiri ya kwụọ ya ụgwọ. 10 Emesịa, etinyere m aka m n’akwụkwọ ire
ala ahụ, kaa ya akara, nyachie ya, n’ihu ndị akaebe. Atụkwara m ọlaọcha ahụ n’ihe
ọtụtụ. 11 Eweere m akwụkwọ ịzụta ala ahụ a kara akara, nke a nyachikwara anyachi,
ebe e dere ihe banyere ọzụzụ na orire nke ala ahụ, werekwa ụdị akwụkwọ ahụ nke
a na-anyachighị anyachi, 12 nyefee ha n’aka Baruk nwa Neraya, nwa Mahseia, n’ihu
Hanamel nwanna m, na n’ihu ndị akaebe ndị ọzọ, ndị aka ha dị n’akwụkwọ ahụ, na
n’ihu ndị Juu ndị ọzọ, ndị nọ n’ogige ụlọ ndị agha ahụ.

13 “N’ihu ha, enyere m Baruk iwu ndị a sị ya, 14 ‘Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye
pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, Were akwụkwọ ndị a, ma nke a nyachiri
anyachi, ma nke a na-anyachighị anyachi, tinye ha n’ime ite e ji ụrọ kpụọ, ebe ha
ga-adị ogologo oge. 15 N’ihi na ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile,
bụ Chineke Izrel kwuru, a ga-emesịakwa zụọ ụlọ, ala ubi nakwa ubi vaịnị n’ala a.’

16 “Mgbe m nyechasịrị Baruk nwa Neraya akwụkwọ ndị ahụ, ekpere m ekpere nye
Onyenwe anyị sị,

17 “Gị, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị ọ bụ gị sitere n’ike gị dị
ukwuu, na aka gị e setịrị eseti mee eluigwe na ụwa. O nweghị ihe ọbụla ị na-
enweghị ike ime. 18 Ị na-egosi ịhụnanya nye ọtụtụ puku ndị mmadụ ma na-eweta
ịta ahụhụ nye ụmụ site n’ihi mmehie nna ha. O Chineke dị ukwuu dịkwa ike,
Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile bụ aha gị. 19 Nzube gị dị ukwuu, otu a
kwa akaọrụ gị dịkwa ukwuu. Anya gị ghere oghe nye ụzọ mmadụ niile. Ị na-
akwụghachikwa onye ọbụla dịka ndụ ya na akaọrụ ya si dị. 20 Ọ bụ gị mere ihe
ịrịbama na ihe ebube dị iche iche n’Ijipt. Ị nọgidekwara na-arụ ha ruo taa, ma
n’ala Izrel ma n’etiti ndị niile nọ n’ụwa. N’ihi ya, i meere onwe gị aha nke ka
bụkwa nke gị n’ebe niile. 21 Ọ bụ ihe ịrịbama na ọrụ ebube dị iche iche, n’aka dị
ike, na ogwe aka e setịpụrụ esetipụ, n’ihe oke egwu, ka i ji kpọpụta ndị gị Izrel site
n’Ijipt. 22 Ị nyere ha ala a, nke ị ṅụrụ n’iyi inye nna nna ha, ala mmiri ara ehi na
mmanụ aṅụ na-eru na ya. 23 Ha batara n’ala a, nweta ya, ma ha jụrụ irubere gị isi,
maọbụ jegharịa n’iwu gị; ha emeghị ihe ndị i nyere ha n’iwu mee. N’ihi ya, i mere
ka ihe ọjọọ ndị a bịakwasị ha.

24 “Lee ka ndị iro si wuo ihe agha ha gburugburu mgbidi obodo a, ihe agha nke
ha ga-eji lụta ya n’agha. I werela obodo a nyefee ndị Babilọn na-ebuso ya agha
n’aka, n’ihi mma agha na ụnwụ, na oke ọrịa dị n’ime ya. Ihe i kwuru na ọ ga-eme
emezuola, dịka i si ahụ ya ugbu a. 25 Ma ọ bụ ezie na a ga-enyefe obodo a n’aka
ndị Babilọn, ma gị, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị gwara m sị, ‘Were
ọlaọcha zụta ala ahụ. Zụkwaa ya n’ihu ndị akaebe.’ ”

26 Mgbe ahụ, okwu Onyenwe anyị ruru Jeremaya ntị sị ya, 27 “Abụ m Onyenwe anyị,
Chineke nke anụ ahụ niile bụ mmadụ. Ọ dị ihe ọbụla karịrị m ime? 28 Ya mere, ihe
ndị a ka Onyenwe anyị kwuru: Ejikerela m ugbu a inyefe obodo a n’aka ndị Babilọn,
na n’aka Nebukadneza eze Babilọn, onye ga-alụta ya n’agha. 29 Ndị Babilọn ahụ na-
ebuso obodo a agha, ga-abata n’ime ya, kpọọ ya ọkụ. Ha ga-akpọ ya ọkụ, ya na ụlọ

niile dị n'ime ya, bụ ụlọ niile ahụ ndị bi n'ime ya nọ kpasuo m iwe, site n'isure ihe
nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye chi Baal n'elu ụlọ ha niile, na site n'ịwụsara chi ndị ọzọ
onyinye ihe ọṅụṅụ.
30 "Ọ bụ naanị ihe ọjọọ ka ndị Izrel na ndị Juda mere n'ihu m site na mgbe ha bụ
nwantakịrị. N'ezie, ha esitela n'ihe ha ji aka mee kpasuo m iwe, ka ONYENWE ANYỊ
kwuru. 31 Site n'oge e wuru ya ruo ugbu a, ndị bi n'obodo a akpaliela iwe m na ọnụma
m. Ya mere, aga m esite n'ihu m wezuga ha. 32 Ndị Izrel na Juda, na ndị eze ha, na
ndịisi ọchịchị ha, na ndị nchụaja ha, na ndị amụma ha, na ndị ikom Juda, ma ndị bi
na Jerusalem, akpasuola m iwe site n'ihe ọjọọ niile ha mere. 33 Ha gbakụtara m azụ,
jụ ilenye anya n'ebe m nọ. Ọ bụ ezie na m ziri ha ihe mgbe mgbe, ma ha jụrụ ige ntị,
jụkwa ịnabata ịdọ aka na ntị m. 34 Ha doro oyiyi ihe arụ n'ụlọnsọ ahụ a kpọkwasịrị
aha m, si otu a merụọ ya. 35 Ha wuru ebe dị elu dị iche iche na Ndagwurugwu nke
Ben Hinom nye Baal, ebe ha nọ jiri ụmụ ha ndị ikom na ndị inyom chụọ aja nye
Molek. O nweghị mgbe m nyere ha iwu ime ihe dị otu a, o nweghị mgbe ajọ ihe dị
otu a batara m n'obi, nke i nye ha iwu ime ihe arụ dị otu a, nke ime ka Juda mehie.
36 "Ihe i kwuru banyere obodo a bụ, 'A ga-esite na mma agha, na n'ụnwụ, na n'oke
ọrịa, nyefee ha n'aka eze Babilọn,' ma ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke Izrel
kwuru, 37 Lee, aghaghị m ịchịkọta ha site na mba ndị ahụ niile m sitere n'iwe m, na
n'oke ọnụma m chụga ha. Aga m akpọghachite ha n'ebe a, mee ka ha biri n'udo.
38 Ha ga-abụ ndị m, mụ onwe m ga-abụkwa Chineke ha. 39 Aga m enye ha otu obi na
otu ụzọ, ime ka ha na-atụ egwu m, n'ihi ọdịmma nke ha, na ọdịmma nke ụmụ ha
ndị ga-eso ha. 40 Aga m eme ka ọgbụgba ndụ ebighị ebi dịrị n'etiti mụ na ha. Agaghị
m akwụsị imere ha ihe ọma, aga m akwalikwa obi ha ịtụ egwu m. N'ụzọ dị otu a,
ha agaghị esitekwa n'iso m wezuga onwe ha. 41 Obi ga-atọkwa m ụtọ ime ha mma;
m ga-ejikwa obi m niile, na mkpụrụobi m niile kụọ ha n'ala a.
42 "Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, Dịka m mere ka ihe ọjọọ ukwuu a niile
bịakwasị ndị a, otu a ka m ga-esikwa mee ka ezi ihe ahụ niile m kwere ha na nkwa
bịakwasị ha. 43 A ga-azụkwa ọhịa* n'ala a unu na-asị na ọ bụ ala tọgbọrọ n'efu, nke
mmadụ na anụmanụ na-adịghị n'ime ya, ala nke e nyefere n'aka ndị Babilọn. 44 A
ga-ejikwa ọlaọcha zụọ ala ubi, deekwa ihe banyere orire na ọzụzụ ya n'akwụkwọ.
A ga-aka akwụkwọ ndị ahụ akara n'ihu ndị akaebe, n'ala Benjamin, na n'obodo nta
niile dị gburugburu Jerusalem, ma n'ala Juda, na n'obodo dị n'ala ugwu ugwu, na
nke dị na mgbada ugwu niile dị n'ọdịda anyanwụ, na nke dị na Negev, n'ihi na aga m
esite n'obodo ndị ahụ dọtara ha n'agha buuru ha gaa kpọlata ha.† Otu a ka ONYENWE
ANYỊ kwubiri."

# 33

*Nkwa banyere nlọghachi*

1 Mgbe Jeremaya ka nọ dịka onye mkpọrọ n'ogige ụlọ ndị nche, okwu ONYENWE
ANYỊ ruru ya ntị nke ugboro abụọ, sị ya, 2 "Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, onye ahụ
kere ụwa kwuru, ONYENWE ANYỊ, onye kpụrụ ya mee ya ka o guzosie ike, Onye aha
ya bụ ONYENWE ANYỊ: 3 'Kpọkuo m, aga m aza gị, gosi gị ihe dị ukwuu dị iche iche,
na ihe siri ike na nghọta nke ị na-amaghị.' 4 N'ihi na nke a bụ ihe ONYENWE ANYỊ, bụ
Chineke Izrel, kwuru banyere ụlọ ndị ahụ niile dị n'obodo, na ụlọeze niile nke ndị
eze Juda, bụ nke akwadara maka iji megide nnọchibido niile na mma agha 5 n'agha
a na-alụso ndị Babilọn. 'Aga eji ozu ndị mmadụ ahụ niile m ga-etigbu site n'iwe m
na n'ọnụma m kpojuo ha. Aga m ezo ihu m site n'ebe obodo a nọ, n'ihi ajọ omume
ya niile.

* **32:43** 32:43 Ya bụ, ala ubi † **32:44** 32:44 Maọbụ, m ga-eweghachitere ha ihe onwunwe ha

6 " 'Ma otu ọ dị, aga m agwọ ya, mee ka ahụ sie ya ike. Aga m agwọ ndị m, meekwa
ka ha nwe udo n'ebe ọ bara ụba. Ha ga-ebikwa n'udo na-enweghị egwu ọbụla. 7 Aga
m emekwa ka ndị Izrel na ndị Juda a dọtara n'agha lọta. Aga m ewugharịkwa ha
dịka ụlọ, mee ka ha dịrị ka ha dị na mbụ. 8 Aga m eme ka ha dị ọcha site na mmehie
ha niile, nke ha mere megide m. Aga m agbaghara ha mmehie ha na nnupu isi ha
niile megide m. 9 Mgbe ahụ, obodo a ga-aghọkwa ihe ga-eme ka mba niile nke ụwa
mara m, ka ha ṅụrịa ọṅụ n'ime m, tookwa m, ma wetara m nsọpụrụ, mgbe ha ga-anụ
ihe ọma niile m meere obodo a. Ha ga-atụkwa oke egwu, maakwa jijiji, n'ihi ezi ihe
ahụ niile na n'ihi udo ahụ niile nke mụ onwe m mere ka o rute ha aka.'
10 "Ihe ndị a ka Onyenwe anyị kwuru, 'Unu na-asị banyere ebe a, "Ọ bụ mkpọmkpọ
ebe, ebe ụmụ mmadụ na ụmụ anụmanụ na-ebighị n'ime ya." Ma n'obodo Juda, ya
na okporoụzọ niile dị na Jerusalem, nke tọgbọrọ n'efu ugbu a, nke mmadụ maọbụ
anụmanụ na-ebighị n'ime ya, a ga-emesịa nụkwa 11 olu ọṅụ na obi ụtọ, na olu ndị
ikom na ndị inyom na-alụ di na nwunye, na olu ndị ahụ niile na-eweta onyinye ekele
n'ụlọ Onyenwe anyị, ndị ahụ ga-asị,
" ' "Nyenụ Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile ekele
n'ihi na Onyenwe anyị dị mma.
Ịhụnanya ya na-adịgidekwa ruo mgbe ebighị ebi."
N'ihi na aga m eme ka ndị ala a, nke a dọtara n'agha lọta, dịkwa ka ha dị na mbụ,'
otu a ka Onyenwe anyị kwuru.
12 "Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, 'N'ebe a, nke bụ
mkpọmkpọ ebe ugbu a, nke mmadụ maọbụ anụmanụ na-ebighị n'ime ya, ka a ga-
emesịa nweekwa ebe ịta nri nke igwe ewu na atụrụ, n'ime obodo niile, ebe ndị ọzụzụ
atụrụ ga-eduru igwe ewu na atụrụ ha gaa izuike. 13 N'ime obodo niile nke dị n'ala
ugwu ugwu, na n'obodo niile nke dị na mgbada ugwu niile nke Negev, n'oke ala
Benjamin, n'ime obodo nta niile nke gbara Jerusalem gburugburu, na n'ime obodo
niile nke Juda. Igwe ewu na atụrụ ga-agabigakwa ọzọ n'okpuru aka abụọ nke onye
na-agụ ha ọnụ.' Otu a ka Onyenwe anyị na-ekwu.
14 " 'Ụbọchị ndị ahụ na-abịa,' ka Onyenwe anyị kwupụtara, 'mgbe m ga-emezu ezi
nkwa ahụ m kwere ụlọ Izrel na ụlọ Juda.
15 " 'N'ụbọchị ndị ahụ, na n'oge ahụ,
aga m eme ka Alaka ezi omume pupụta site n'ezinaụlọ Devid.
Ọ ga-eme ihe ziri ezi, kpeekwa ikpe ziri ezi n'ala ahụ.
16 N'ụbọchị ndị ahụ, ka a ga-azọpụta Juda,
Jerusalem ga-ebikwa n'udo.*
Nke a bụ aha a ga-akpọ ya,
Onyenwe anyị Onye Nzọpụta, bụ ezi omume anyị.'†
17 N'ihi na ihe ndị a ka Onyenwe anyị kwuru, 'O nweghị oge a ga-ahapụ inweta otu
onye site n'ezinaụlọ Devid onye ga-anọ n'ocheeze ụlọ Izrel. 18 Ọ dịkwaghị mgbe a
ga-ahapụ inweta onye ga-esite n'etiti ndị nchụaja na ndị Livayị, nke ga-eguzo n'ihu
m ụbọchị niile ịchụ aja nsure ọkụ, na i wetara m onyinye ịnata ihuọma, na ịchụrụ
m aja dị iche iche.' "
19 Emesịa, okwu Onyenwe anyị ruru Jeremaya ntị sị ya, 20 "Ihe ndị a ka Onyenwe
anyị kwuru, 'Ọ bụrụ na unu nwere ike ime ka ọgbụgba ndụ m na ehihie, na ọgbụgba
ndụ mụ na abalị ghara ịdịkwa, ime ka ehihie na abalị gharakwa ịpụta n'oge ha,
21 mgbe ahụ ọgbụgba ndụ nke mụ na Devid ohu m gbara, na ọgbụgba ndụ nke m
mere ka ọ dịrị n'etiti mụ na ndị Livayị, bụ ndị nchụaja na-eje ozi ha n'ihu m, agaghị
adịkwa. A gaghị enwekwa onye ga-esi n'ezinaụlọ Devid nke ga-anọkwasị n'ocheeze
ya. 22 Aga m eme ka ụmụ ụmụ Devid ohu m, na ndị Livayị, bụ ndị na-eje ozi ha

* **33:16** 33:16 Na-atụghị ụjọ ọbụla † **33:16** 33:16 Onyenwe anyị, bụ ezi omume anyị

n'ihu m, dị ukwuu n'ọnụọgụgụ dịka kpakpando dị na mbara eluigwe; ha ga-adịkwa
ukwuu dịka uzuzu dị n'ọnụ mmiri osimiri nke a na-apụghị ịgụta ọnụ.' "
23 Okwu ONYENWE ANYị ruru Jeremaya ntị sị ya, 24 "Ị hụla ajụjụ ndị a na-ajụ? Ha
na-ajụ na-asị, 'ONYENWE ANYị ọ jụla agbụrụ abụọ ndị a ọ họpụtara?' N'ihi ya, ha
na-eleli ndị m, ha adịghị agụkwa ha dịka mba. 25 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYị kwuru,
'Ọ bụrụ na m emeghị ka ọgbụgba ndụ dịrị n'etiti mụ na ehihie na abalị, meekwa ka
iwu na-achị eluigwe na ụwa guzosie ike, 26 mgbe ahụ, agaara m ajụ ụmụ ụmụ Jekọb,
na ụmụ ụmụ Devid ohu m. Agaraghị m ahọpụta otu n'ime ụmụ ya ka ọ chịa ụmụ
ụmụ Ebraham na Aịzik na Jekọb. Ma aga m eme ka ndị ha a dọtara n'agha lọta; aga
m enwekwa obi ebere n'ahụ ha.' "

# 34

*Ịdọ aka na ntị a dọrọ Zedekaya*

1 Mgbe Nebukadneza eze Babilọn na ndị agha ya niile, na mba niile dị n'alaeze
nke ọ na-achị na-ebuso Jerusalem na obodo niile gbara ya gburugburu agha, okwu
ONYENWE ANYị ruru Jeremaya ntị sị, 2 "Ihe ndị a ka ONYENWE ANYị, Chineke Izrel
kwuru, Jekwuru Zedekaya bụ eze Juda, gwa ya sị, 'Ihe ndị a ka ONYENWE ANYị kwuru,
ejikerela m ugbu a inyefe eze Babilọn obodo a n'aka. Ọ ga-esurekwa ya ọkụ. 3 Ị gaghị
agbanarị ya, n'ihi na ọ ga-ejide gị. A ga-arara gị nyefekwa ya n'aka. Anya gị abụọ ka
ị ga-eji hụ eze Babilọn. Gị na ya ga-ekwurịtakwa okwu. Ị ga-agakwa Babilọn.
4 " 'Ma nụrụkwa nkwa ONYENWE ANYị na-ekwe gị, gị Zedekaya eze Juda. Ihe ndị
a ka ONYENWE ANYị kwuru banyere gị, Ị gaghị anwụ site na mma agha; 5 ị ga-anwụ
n'udo. Dịka ndị mmadụ si mụnye ọkụ kwaa ozu nna gị ha, bụ ndị buru gị ụzọ chịa ka
eze, otu a ka ha ga-esi mụnye ọkụ kwaa gị. Ha ga-eti aka n'obi kwa akwa sị, "Ewoo,
onyenwe anyị!" Ọ bụ mụ onwe m na-ekwe nkwa a, otu a ka ONYENWE ANYị kwubiri
ya.' "
6 Mgbe ahụ, Jeremaya onye amụma gara gwa Zedekaya eze Juda ihe ndị a niile na
Jerusalem. 7 N'oge a, ndị agha eze Babilọn na-ebuso Jerusalem agha. Ha na-ebusokwa
obodo ndị ọzọ nke nọgidere na-ebuso ha agha, nke bụ obodo Lakish na Azeka. Obodo
ndị a bụ naanị obodo fọdụrụ n'ala Juda nke ndị agha Babilọn na-emeribeghị.

*Inwe onwe nke ndị ohu*

8 Okwu ONYENWE ANYị ruru Jeremaya ntị mgbe Zedekaya bụ eze, na ndị Izrel niile
gbachara ndụ na Jerusalem ịkpọsara ndị ohu niile nwere onwe ha. 9 Onye ọbụla
ga-ahapụ ohu ya bụ onye Hibru ka o nwere onwe ya, ma ohu ahụ ọ bụ nwoke maọbụ
nwanyị. A gaghị agụkwa onye Juu ọbụla dịka ohu ọzọ. 10 Ya mere, ndịisi ọchịchị
niile, na ndị niile bụ ndị kwekọrịtara gbaa ndụ a, na ha ga-ahapụ ohu ha ndị nwoke
na ndị nwanyị ka ha nwere onwe ha. Ha mekwara dịka ha si kwuo. 11 Ma mgbe oge
nta gasịrị, ndị a niile gbanwere obi ha. Ha gara jide ohu ndị ahụ ha hapụrụ, mee ka
ha ghọọkwa ndị ohu ha ọzọ.
12 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYị ruru Jeremaya ntị sị ya, 13 "Ihe ndị a ka ONYENWE
ANYị, Chineke Izrel, kwuru, Mụ na nna nna unu ha gbara ndụ mgbe m si n'ala Ijipt,
bụ ala ebe ha bụ ohu kpọpụta ha. Mgbe ahụ agwara m ha sị, 14 'N'ọgwụgwụ afọ asaa
ọbụla, onye ọbụla n'ime unu aghaghị ịhapụ onye Hibru ibe unu resiri unu onwe ya
dịka ohu, ka o nwerekwa onwe ya. Mgbe onye ahụ jeere unu ozi afọ isii, unu kwesiri
ịhapụ ya ka o nwere onwe ya.' Ma nna nna unu ha egeghị m ntị, ha etinyeghịkwa
uche ha n'iwu m nyere ha. 15 Na nwa oge nta gara aga unu chegharịrị mee ihe ziri
ezi n'anya m. Onye ọbụla n'ime unu kpọsara inwere onwe nye ndị unu. Unu gara
n'ihu gbaa ndụ n'ihu m n'ime ụlọnsọ ahụ a kpọkwasịrị aha m. 16 Ma ugbu a, unu
echigharịala, merụọ aha m; onye ọbụla n'ime unu akpọghachikwala nye onwe ya

ndị ohu ndị ikom na ndị inyom ahụ unu hapụrụ ka ha nwere onwe ha, gaa dịka o si
masị mkpụrụobi ha. Unu akwagidekwala ha ka ha bụrụkwa ndị ohu unu ọzọ.
17 "N'ihi nke a, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, Unu erubeghị isi nye m, unu
ekwusaghị nwere onwe nye ndị unu. Ya mere, ugbu a mụ onwe m na-akpọsa 'Inwere
onwe' nye unu, ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, 'inwere onwe' nke ịda n'ihi mma agha,
na ajọ ọrịa na-efe efe, na oke ụnwụ. Aga m emekwa unu ka unu ghọọ ihe ịsọ oyi
nye alaeze niile nke ụwa. 18 Ma ndị ikom ahụ niile merụrụ ọgbụgba ndụ m, ndị ahụ
na-edebezughị ọgbụgba ndụ ha gbara n'ihu m, ka m ga-eme ka ha dịrị ka nwa ehi
ọgbụgba ndụ ahụ ha kpọwara abụọ, nke ha si n'etiti ọkara abụọ ya gafee, maka imesi
ọgbụgba ndụ ha ike. 19 Ndị ndu Juda na Jerusalem na ndị ozi eze na ndị nchụaja na
ndị niile bi n'ala a ndị si n'etiti ọkara nwa ehi ahụ gabiga 20 ka m ga-enyefe n'aka ndị
iro ha ndị na-achọ iwepụ ndụ ha. Ozu ha ga-abụ ihe oriri nye anụ ufe nke eluigwe
na anụ ọhịa nke ụwa.
21 "Aga m enyefe Zedekaya eze Juda na ndịisi ọchịchị ya n'aka ndị iro ha, ndị
na-achọ ndụ ha. Aga m enyefe ha n'aka ndị agha eze Babilọn, ndị siterela n'ibuso
unu agha wezuga onwe ha. 22 Aga m enye iwu, ka ONYENWE ANYỊ kwubiri, mee ka a
kpọghachi ha azụ n'obodo a. Ha ga-ebuso ya agha, merie ya, surekwaa ya ọkụ. Aga
m emekwa ka obodo Juda niile tọgbọrọ n'efu. Ọ dịkwaghị onye ga-ebi n'ime ya."

# 35

*Ụmụ Rekab*

1 Ndị a bụ okwu ONYENWE ANYỊ nke ruru Jeremaya ntị n'oge ọchịchị Jehoiakim
nwa Josaya eze Juda sị ya, 2 "Jee n'ụlọ ụmụ Rekab kpọọ ha oku ka ha bịa n'ụlọnsọ
ONYENWE ANYỊ, n'otu n'ime ọnụụlọ ya, nọdụ n'ebe ahụ nye ha mmanya ka ha ṅụọ."
3 Ya mere, ejekwuuru m Jaazanaya nwa Jeremaya, nwa Habazinaya na ụmụnne ya,
na ụmụ ya ndị ikom, ya bụ, ndị ezinaụlọ Rekab niile. 4 Akpọbatara m ha n'ụlọnsọ
ONYENWE ANYỊ, n'ime ọnụụlọ ụmụ Hanan nwa Igdalaya, onye nke Chineke. Ọnụụlọ a
dị nso n'ọnụụlọ ndịisi ụlọnsọ, nke dị n'elu ọnụụlọ Maaseia nwa Shalum, onye nche
ọnụ ụzọ ụlọnsọ. 5 Mgbe ahụ, e doziri m ọkwa ụfọdụ jupụtara na mmanya na iko
ụfọdụ n'ihu ụmụ Rekab, sị ha, "Ngwanụ, ṅụanụ mmanya."
6 Ma ha zara sị, "Anyị adịghị aṅụ mmanya, n'ihi na nna nna anyị Jehonadab
nwa Rekab nyere anyị iwu sị anyị, 'Unu aṅụkwala mmanya, unu na ụmụ ụmụ unu.
7 Ọzọkwa, unu ewurula onwe unu ụlọ, unu akụla mkpụrụ ubi, maọbụ kụọ ubi vaịnị.
Unu adọtarala onwe unu ihe ndị a niile, kama na-ebinụ n'ụlọ ikwuu. Ọ bụ n'ụzọ
dị otu a ka unu ga-esi bie ogologo ndụ n'ala ahụ unu bụ ndị ọbịa n'ime ya.' 8 Anyị
erubela isi n'ihe niile nna nna anyị Jehonadab nwa Rekab gwara anyị. Anyị na ndị
nwunye anyị na ụmụ anyị ndị ikom na ndị inyom adịghị aṅụ mmanya, 9 maọbụ
wuo ụlọ, maọbụ nwee ubi vaịnị, ala ubi maọbụ mkpụrụ ọkụkụ. 10 Ọ bụkwa n'ụlọ
ikwuu ka anyị na-ebi dị ka nna nna anyị Jehonadab nyere anyị n'iwu. 11 Ma mgbe
Nebukadneza eze Babilọn busoro ala anyị agha, anyị kpebiri sị, 'Bịanụ ka anyị gbaba
Jerusalem si otu a gbanarị ndị agha Babilọn, na ndị agha ndị Aram.' Ọ bụ nke a mere
anyị ji biri na Jerusalem."
12 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ ruru Jeremaya ntị sị ya 13 Ihe ndị a ka ONYENWE
ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, "Gaa gwa ndị Juda na ndị bi
na Jerusalem, 'Ọ bụ na unu agaghị esite n'ịdọ aka na ntị mụta irubere okwu m isi?'
ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara. 14 'Jehonadab nwa Rekab nyere ụmụ ụmụ ya iwu sị
ha aṅụla mmanya, ha na-edebe iwu ahụ. Ruo taa, ha adịghị aṅụ mmanya, n'ihi na
ha na-edebe iwu nna nna ha nyere ha. Ma mụ onwe m agwala unu okwu mgbe na
mgbe, ma unu jụrụ irubere m isi. 15 Mgbe mgbe ka m ziteere unu ụmụ ohu m bụ
ndị amụma, ndị bịara gwa unu okwu sị, "Dozienụ ụzọ unu, sitekwanụ n'ajọ omume

unu tụgharịa. Unu niile n’otu n’otu, unu agbasola chi ndị ọzọ ife ha. Ọ bụrụ na unu
emee otu a, unu ga-ebi n’ala a m nyere unu na nna nna unu ha.” Ma unu jụrụ ịṅa
ntị, jụkwa ige m ntị. 16 Ụmụ ụmụ Jehonadab, nwa Rekab, emeela ihe nna nna ha
nyere ha n’iwu, ma ndị a jụrụ irubere m isi.’

17 “N’ihi ya, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile, Chineke
Izrel kwuru: ‘Geenụ ntị! Lee, ana m aga ime ka ihe ọjọọ bịakwasị Juda na ndị niile
bi na Jerusalem, dịka m kwuru na ọ ga-adị. N’ihi na agwala m ha okwu, ma ha jụrụ
ige m ntị. Akpọrọ m ha oku, ma ha jụrụ ịza.’ ”

18 Mgbe ahụ, Jeremaya gwara ndị ezinaụlọ Rekab, “Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ,
Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, ‘Unu erubeela isi mee ihe niile nna
nna unu bụ Jehonadab nyere unu n’iwu.’ 19 N’ihi ya, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime
ihe niile, bụ Chineke Izrel, kwuru sị, ‘O nweghị mgbe ọbụla nwoke ga-ejere m ozi
ga-akọ n’ezinaụlọ Jehonadab nwa Rekab.’ ”

# 36

*Jehoiakim akpọọ akwụkwọ Jeremaya ọkụ*

1 N’afọ anọ nke ọchịchị Jehoiakim nwa Josaya bụ eze Juda, okwu ONYENWE ANYỊ ndị
a ruru Jeremaya ntị, 2 “Were akwụkwọ detuo okwu ahụ niile m gwarala gị banyere
Izrel, na Juda, na banyere ndị mba ọzọ dị iche iche, bụ okwu ndị ahụ m bidoro
ịgwa gị site n’oge ọchịchị Josaya ruo ugbu a. 3 Ma eleghị anya mgbe ndị Juda nụrụ
ka e kwupụtara ihe banyere ihe ọjọọ ndị ahụ m zubere, nke na-aga ịbịakwasị ha,
onye ọbụla n’ime ha n’otu n’otu ga-esite n’ụzọ ọjọọ ya tụgharịa. Mgbe ahụ, aga m
agbaghara ha ajọ omume ha na mmehie ha.”

4 Ya mere, Jeremaya kpọrọ Baruk nwa Neraya ka ọ bịakwute ya. Mgbe Jeremaya
nọ na-akpọpụta okwu ahụ niile ONYENWE ANYỊ gwara ya, Baruk nọkwa na-edepụta
ha n’akwụkwọ. 5 Emesịa, Jeremaya gwara Baruk okwu sị ya, “Ọnọdụ nke m nọ n’ime
ya ugbu a agaghị ekwe ka m site n’ebe a pụọ jeruo n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. 6 N’ihi ya,
gaa n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ n’ụbọchị ibu ọnụ, nọdụ n’ebe ahụ gụpụtara ndị mmadụ
okwu ONYENWE ANYỊ ndị a ị dere n’akwụkwọ dịka m kpọpụtara ha. Gụpụtara ya
ndị Juda si obodo niile bịa n’ụlọnsọ ahụ. 7 Ma eleghị anya, ha ga-arịọ ONYENWE ANYỊ
arịrịọ. Ma eleghị anya onye ọbụla n’ime ha ga-esite n’ụzọ ọjọọ ya tụgharịa, ka iwe
na ọnụma dị ukwuu nke ONYENWE ANYỊ ga-ekpughe megide ndị a ghara ịbịakwasị
ha.”

8 Baruk nwa Neraya mere dịka Jeremaya onye amụma si gwa ya. Ọ gụpụtara okwu
ONYENWE ANYỊ, nke dị n’akwụkwọ ahụ, n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. 9 N’ọnwa itoolu nke
afọ ise nke ọchịchị Jehoiakim nwa Josaya eze Juda, e doro oge dị iche nye maka ibu
ọnụ n’ihu ONYENWE ANYỊ. E kwusara ibu ọnụ a nye ndị niile nọ na Jerusalem, na ndị
si n’obodo Juda niile bịa na Jerusalem. 10 Baruk nọ n’ọnụụlọ Gemaraya nwa Shefan,
bụ ode akwụkwọ, gụpụtara ndị niile nọ n’ụlọnsọ Onyenwe anyị okwu Jeremaya, nke
dị n’akwụkwọ a dị nsọ n’ọnụ ụzọ ama ọhụrụ nke ụlọnsọ ahụ.

11 Mgbe Mikaya nwa Gemaraya nwa Shefan nụrụ okwu ONYENWE ANYỊ nke e si
n’akwụkwọ ahụ gụpụta, 12 o si n’ebe ahụ pụọ, gaa n’ụlọ ode akwụkwọ dị n’ụlọeze,
ebe ndịisi niile zukọrọ. Ndị a bụ ndị zukọrọ n’ebe ahụ; Elishama, ode akwụkwọ, na
Delaya nwa Shemaya, na Elnatan nwa Akboa, na Gemaraya nwa Shefan, na Zedekaya
nwa Hananaya, na ndịisi ọchịchị ndị ọzọ. 13 Mgbe Mikaya gwara ha ihe ọ nụrụ
Baruk si n’akwụkwọ ahụ gụpụtara ndị mmadụ, 14 ndịisi ahụ niile zipụrụ Jehudi nwa
Netanaya, nwa Shelemaya, nwa Kushi, ka o jekwuru Baruk sị ya “Were akwụkwọ ahụ
ị si na ya gụpụtara ndị mmadụ ihe, bịa.” Ya mere, Baruk, nwa Neraya, ji akwụkwọ
a n’aka ya jekwuru ha. 15 Mgbe o ruru n’ebe ahụ, ha gwara ya sị ya, “Biko, nọdụ ala
gụọra anyị ihe dị n’akwụkwọ a.”

Ya mere, Baruk gụpụtara ha ihe dị n'akwụkwọ ahụ. 16 Mgbe ha nụchasịrị okwu
dị n'akwụkwọ ahụ, ha lerịtara onwe ha anya n'egwu, gwa Baruk okwu sị ya, "Anyị
aghaghị ime ka okwu ndị a ruo eze ntị." 17 Ha jụrụ Baruk sị ya, "Gwa anyị i si aṅaa
detuo ihe ndị a niile? Ọ bụ Jeremaya kpọpụtaara gị ihe i dere?"
18 Baruk zara sị ha, "E, ọ bụ ya kpọpụtara m okwu ndị a niile m deturu. E ji m inki
dee ha n'akwụkwọ."
19 Mgbe ahụ, ndịisi ahụ gwara Baruk okwu sị ya, "Ọsọ, gaa ka gị na Jeremaya zoo
onwe unu. Unu ekwekwala ka onye ọbụla mata ebe unu zoro onwe unu."
20 Mgbe ha zochasịrị akwụkwọ ahụ n'ọnụụlọ Elishama onye ode akwụkwọ, ha
jekwuuru eze n'ogige ụlọ ya kọọrọ ya ihe niile. 21 Eze ziri Jehudi ka ọ gaa weta
akwụkwọ ahụ. Mgbe Jehudi wetara ya site n'ọnụụlọ Elishama, ode akwụkwọ, ọ gụrụ
ya n'ihu eze, na n'ihu ndịisi ọchịchị ahụ niile guzo n'akụkụ eze. 22 N'ọnwa nke itoolu
ahụ, mgbe eze nọ n'ụlọ oyi ya, ọkụ na-enwukwa n'ime ite ọkụ dị n'ihu ya. 23 Mgbe
ọbụla Jehudi gụsịrị ibe akwụkwọ atọ maọbụ anọ, eze na-anara ya akwụkwọ ndị ahụ
were agụba ode akwụkwọ chakasịa ha, wụnye ha n'ọkụ. O megidere otu a tutu ruo
mgbe ọ wụnyechara akwụkwọ ndị ahụ niile n'ọkụ. 24 Eze na ndị so ya nọdụ n'oge a
na-agụpụta akwụkwọ a atụghị egwu ọbụla; ha adọwakwaghị uwe ha igosi obi ọjọọ.
25 Ọ bụ ezie na Elnatan na Delaya na Gemaraya rịọrọ eze sị ya adọkasịla akwụkwọ
ndị ahụ, ma o geghị ha ntị. 26 Kama eze nyere Jerameel otu n'ime ụmụ eze, na Seraya
nwa Azriel, na Shelemaya nwa Abdeel iwu ijide Baruk ode akwụkwọ, na Jeremaya
onye amụma, ma ONYENWE ANYỊ zoro ha.
27 Mgbe eze suresịrị akwụkwọ ahụ na okwu niile nke Baruk dere n'ime ya ọkụ,
bụ okwu nke Jeremaya kpọpụtara site n'ọnụ ya, okwu ONYENWE ANYỊ ruru Jeremaya
ntị sị ya: 28 "Werekwa akwụkwọ ọzọ dee okwu ndị ahụ niile e dere n'akwụkwọ nke
mbụ ahụ, nke Jehoiakim eze Juda kpọrọ ọkụ. 29 Ọzọkwa, gwa Jehoiakim eze Juda sị
ya, 'otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, Ị kpọrọ akwụkwọ ndị ahụ ọkụ, kwuo sị, "Gịnị
mere i ji dee n'ime ya na eze Babilọn aghaghị ịbịa bibie ala a, gbuchapụ ndị niile nọ
n'ime ya, ma mmadụ ma anụmanụ?" 30 N'ihi ya, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru
banyere Jehoiakim eze Juda; Ọ gaghị amụta onye ga-anọ n'ocheeze Devid. Ọzọ, a
ga-atụfu ozu ya n'ebe igirigi nke abalị ga-adakwasị ya, ebe okpomọkụ nke ehihie
ga-erute ya. 31 Aga m ata ya na ụmụ ya, na ndị ozi ya ahụhụ n'ihi ajọ omume ha.
Aga m eme ka ihe ọjọọ ahụ m kwuru ihe banyere ya bịakwasị ha na ndị niile bi na
Jerusalem, na ndị Juda niile, n'ihi na ha jụrụ ige m ntị.' "
32 Ya mere, Jeremaya weere akwụkwọ ọzọ nye Baruk ode akwụkwọ, bụ nwa Neraya,
dịka Jeremaya na-akpọpụta okwu, Baruk depụtakwara n'akwụkwọ okwu ndị ahụ
niile, nke Jehoiakim eze Juda surere n'ọkụ. A tụkwasịkwara n'elu ha ọtụtụ okwu
ndị ọzọ nke dịka ha.

# 37

*Jeremaya n'ụlọ mkpọrọ*

1 Emesịa, Nebukadneza eze Babilọn mere Zedekaya nwa Josaya eze Juda, n'ọnọdụ
Konaya* nwa Jehoiakim. 2 Ma Zedekaya na ndị ozi ya, na ndị Juda niile egeghị ntị
n'okwu ONYENWE ANYỊ nke o si n'ọnụ Jeremaya onye amụma gwa ha.
3 Zedekaya bụ eze, ziri Jehukal nwa Shelemaya, na Zefanaya onye nchụaja, bụ nwa
Maaseia ozi sị ha, jekwuru Jeremaya onye amụma gwa ya okwu sị, "Biko, kpeere
anyị ekpere, rịọrọ anyị ONYENWE ANYỊ Chineke anyị arịrịọ."
4 N'oge a, Jeremaya nweere onwe ya ijegharị n'etiti ndị Izrel, n'ihi na ha etinyebeghị
ya n'ụlọ mkpọrọ. 5 N'ihi na mgbe ndị agha Babilọn gbara Jerusalem gburugburu na-
ebuso ya agha, ndị agha Fero sitere Ijipt na-apụkwute ha ibuso ha agha. Mgbe ndị

* **37:1** 37:1 Bụkwa Jehoiakin

agha Babilọn nụrụ na ndị agha Ijipt na-abịa, ha mere ngwangwa si n'ibuso Jerusalem
agha wezuga onwe ha.
6 Mgbe ahụ, okwu Onyenwe anyị ruru Jeremaya onye amụma ntị sị ya, 7 "Ihe ndị
a ka Onyenwe anyị bụ Chineke Izrel kwuru, Ihe ndị a ka ị ga-agwa eze Juda onye
zitere ozi sị gị rịọọ m arịrịọ, 'Ndị agha Fero ahụ si n'Ijipt pụta bịa inyere unu aka
ga-emesịa laghachi n'ala ha bụ Ijipt. 8 Mgbe ahụ, ndị agha Babilọn ga-alọghachikwa
ibuso obodo a agha. Ha ga-emeri ya, dọta ya n'agha, kpọọkwa ya ọkụ.'
9 "Ihe ndị a ka Onyenwe anyị kwuru, Unu arafula onwe unu site n'iche echiche sị,
'Ndị Babilọn agaghị abịakwa ibuso anyị agha.' E, ha agaghị abịakwa ọzọ. 10 A sịkwa
na ndị agha unu enwee ike merie ndị agha Babilọn ahụ ga-abịa ibuso unu agha, a
sịkwa na ọ bụ naanị ndị e merụrụ ahụ bụ ndị fọdụrụ n'etiti ha, ndị a ga-esi n'ogige
ndị agha Babilọn pụta bịa kpọọ obodo a ọkụ."
11 Mgbe ndị agha Babilọn si na gburugburu Jerusalem wezuga onwe ha n'ihi ọbịbịa
ndị agha Fero na-abịa, 12 Jeremaya sitekwara na Jerusalem pụọ malite ịgawa n'ala
ndị Benjamin, n'ihi iketa oke ruuru ya site n'aka ndị bi n'ebe ahụ. 13 Ma mgbe o
ruru n'ọnụ ụzọ ama Benjamin, onyeisi ndị agha aha ya bụ Irija nwa Shelemaya, nwa
Hananaya jidere ya, boo ya ebubo sị ya, "Ọ bụ ọsọ ka ị na-agba! Ị na-achọ ịgbakwuru
ndị Babilọn!"
14 Ma Jeremaya zara sị ya, "Ọ bụ okwu ụgha ka ị na-ekwu. Anaghị m agba ọsọ
ịgbakwuru ndị Babilọn." Ma Irija egeghị ya ntị, kama o jidere Jeremaya kpụta
ya n'ihu ndịisi ọchịchị. 15 Ha were iwe megide Jeremaya, nye iwu ka e tie ya ihe,
kpọchiekwa ya n'ụlọ Jonatan, ode akwụkwọ. N'ihi na ha ji ụlọ ahụ mere ụlọ mkpọrọ
n'oge a.
16 E tinyere Jeremaya n'ime ụlọ mkpọrọ olulu, ebe ọ nọrọ ogologo oge. 17 Emesịa,
Zedekaya bụ eze nyere iwu ka a kpọta ya n'ụlọeze. Mgbe a kpọtara ya, Zedekaya
jụrụ ya ajụjụ na nzuzo sị ya, "I nwere okwu site n'aka Onyenwe anyị?"
Jeremaya zara sị ya, "E, lee, a ga-arara gị nyefee gị n'aka eze Babilọn."
18 Mgbe ahụ, Jeremaya gwara Zedekaya, bụ eze okwu ọzọ sị ya, "Ihe ọjọọ dị aṅaa
ka m mere megide gị, maọbụ megide ndị ọrụ gị, maọbụ megide ndị a, unu ji tinye m
n'ụlọ mkpọrọ? 19 Ebee ka ndị amụma unu nọ, bụ ndị ahụ na-eburu unu amụma na-
asị unu, 'Eze Babilọn agaghị ebuso unu agha, ọ gaghị ebusokwa ala a agha?' 20 Ugbu
a, biko, onyenwe m eze, biko gee m ntị. Biko, nụrụ arịrịọ m: Ezighachila m n'ụlọ
Jonatan, ode akwụkwọ, n'ihi na ọ bụrụ na i mee otu a, aga m anwụ n'ebe ahụ."
21 Zedekaya bụ eze, nyere iwu ka e debe Jeremaya n'ogige ndị nche. O nyekwara
iwu ka a na-enye ya achịcha e si n'ụlọ ndị na-eme achịcha na-ewebata ụbọchị niile,
tutu ruo mgbe achịcha e nwere n'obodo ahụ gwụsịrị. Ya mere, o mere ka Jeremaya
nọgide n'ogige ndị nche.

# 38

*Jeremaya n'ime olulu mmiri*

1 Shefataya nwa Matan, na Gedaliya nwa Pashua, na Jehukal* nwa Shelemaya, na
Pashua, nwa Malkija, nụrụ mgbe Jeremaya nọ na-agwa ndị mmadụ okwu ndị a sị ha,
2 "Ihe ndị a ka Onyenwe anyị kwuru, 'Onye ọbụla nọgidere n'ime obodo a ga-anwụ
site na mma agha, maọbụ site n'ụnwụ, maọbụ site n'ọrịa na-efe efe. Ma onye ọbụla
pụkwuru ndị Babilọn ga-adị ndụ. Ọ ga-adị ndụ, n'ihi na ọ ga-echebe ndụ ya.' 3 Ihe
ndị a kwa ka Onyenwe anyị kwuru, 'A ga-arara obodo a nyefee ya n'aka ndị agha eze
Babilọn, onye ga-adọta ya n'agha.' "
4 Mgbe ahụ, ndịisi ọchịchị sịrị eze, "O kwesiri ka e gbuo nwoke a, n'ihi na ọ na-eme
ka obi ndị agha na obi ndị mmadụ fọdụrụ n'ime obodo a na-ada mba site n'ụdị okwu

---

* **38:1** 38:1 Maọbụ, Jukal

ọ na-agwa ha. Ọ bụghị ọdịmma ndị a ka ọ na-eche echiche ya, kama ọ bụ otu ha
ga-esi laa n'iyi."
5 Zedekaya bụ eze zara sị ha, "Ọ dị unu n'aka. Unu maara na o nweghị ihe ọbụla
eze nwere ike ime igbochi unu ime ihe unu chọrọ."
6 Ya mere, ha jidere Jeremaya, tinye ya n'ime olulu mmiri Malkija, nwa eze. Olulu
mmiri a dị n'ogige ụlọ ndị nche. Ọ bụ ụdọ ka ha ji wetuo Jeremaya n'ime olulu mmiri
ahụ. Ma mmiri adịghị n'ime ya, naanị apịtị. Ya mere, Jeremaya danyere n'ime apịtị
ahụ, mibanye n'ime ya.
7 Ma Ebed-Melek, onye Kush, otu n'ime ndịisi ozi n'ụlọeze nụrụ na etinyela
Jeremaya n'ime olulu mmiri. Mgbe eze nọdụrụ n'ọnụ ụzọ ama Benjamin, 8 Ebed-
Melek si n'ụlọeze pụọ jekwuuru ya n'ebe ahụ sị ya, 9 "Onyenwe m eze, lee na mmeso
ndị a mesoro Jeremaya onye amụma jọgburu onwe ya. Ha atụbala ya n'ime olulu
mmiri hapụ ya ka ọ nọdụ n'ebe ahụ nwụọ n'ihi agụụ mgbe achịcha kọrọ n'obodo."
10 Mgbe ahụ, eze nyere Ebed-Melek onye Kush iwu sị ya, "Sị n'ebe a kpọrọ iri
mmadụ atọ ka gị na ha soro gaa dọpụta Jeremaya onye amụma site n'olulu ahụ tupu
ọ nwụọ."
11 Ya mere, Ebed-Melek duuru ndị ahụ pụọ. O buru ụzọ jee n'ọnụụlọ dị n'okpuru
ụlọakụ nke ụlọeze. N'ebe ahụ, ọ chịpụtara ụfọdụ nkịrịnka akwa, na ụfọdụ uwe kara
nka. O kenyere ha n'ụdọ, wetuore ya Jeremaya n'ime olulu mmiri ahụ. 12 Ebed-Melek
onye Kush ahụ gwara Jeremaya okwu sị ya, "Were nkịrịnka akwa ndị a, na uwe ndị
a kara aka fanye ha na mkpa abụ gị, ime ka ụdọ a ghara imerụ gị ahụ." Jeremaya
mere dị ka a gwara ya. 13 Emesịa, ha dọlịtere ya elu, dọpụta ya site n'olulu mmiri
ahụ. Site n'oge ahụ, Jeremaya nọgidere n'ogige ụlọ ndị nche.

### *Zedekaya ajụọ Jeremaya ajụjụ ọzọ*

14 Mgbe ahụ, Zedekaya bụ eze, ziri ozi ka a kpọta Jeremaya onye amụma, ka ọ
bịakwute ya n'ọnụ ụzọ nke atọ, nke ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. Mgbe ọ bịara, eze gwara
ya okwu sị ya, "Achọrọ m ịjụ gị ajụjụ. Ezonarịla m ihe ọbụla."
15 Ma Jeremaya zara Zedekaya sị ya, "Ọ bụrụ na m enye gị ọsịsa, ị gaghị egbu m?
A sịkwa na m adụọ gị ọdụ, ị gaghị ege m ntị."
16 Ma Zedekaya bụ eze ṅụrụ iyi na nzuzo nye Jeremaya sị ya, "Dịka ONYENWE ANYỊ
onye nyere anyị ume anyị na-eku si adị ndụ, agaghị m egbu gị, maọbụ nyefee gị n'aka
ndị na-achọsi ndụ gị ike."
17 Mgbe ahụ, Jeremaya zara Zedekaya sị ya, "Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ Chineke
Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, 'Ọ bụrụ na ị pụkwuru ndịisi eze
Babilọn nyefee onwe gị n'aka ha, ha ga-echebe gị ndụ, ha agakwaghị akpọ obodo a
ọkụ. Gị na ezinaụlọ gị ga-adịkwa ndụ. 18 Ma ọ bụrụ na ị jụ iwere onwe gị nyefee
n'aka ndịisi eze Babilọn, a ga-enyefe obodo a n'aka ndị Babilọn. Ha ga-akpọkwa ya
ọkụ, ma gị onwe gị agakwaghị agbapụ site n'aka ha.' "
19 Eze Zedekaya sịrị Jeremaya, "Mụ onwe m na-atụ egwu ndị Juu ahụ bụ ndị
gbakwuru ndị Babilọn, n'ihi na ndị Babilọn nwere ike nyefee m n'aka ha, ha ga-
emesikwa m ike."
20 "Ha agaghị enyefe gị n'aka ha," ka Jeremaya zara ya. "Rubere ONYENWE ANYỊ isi,
site n'ime ihe m gwara gị. Mgbe ahụ, ihe niile ga-agara gị nke ọma. A ga-echebekwa
ndụ gị. 21 Ma ọ bụrụ na ị jụ iwere onwe gị nye, lee ihe ONYENWE ANYỊ mere ka m hụ:
22 A ga-akpụta ndị inyom niile fọdụrụ n'ụlọeze Juda mee ka ha pukwuru ndịisi eze
Babilọn. Ndị inyom ndị a ga-asị gị,
" 'Ndị enyi gị ahụ niile ị na-atụkwasị obi arafuola gị,
mee ka ị bụrụ onye e meriri emeri.
Ụkwụ gị abụọ emikpuola n'ime apịtị,
ugbu a, ndị enyi gị niile ahụ agbanarịla gị.'

23 “A ga-akpụpụtara ndị Babilọn ndị nwunye gị niile na ụmụ gị niile. Gị onwe gị
agaghị agbanarị ha, ma eze Babilọn ga-ejidekwa gị, a ga-esurekwa obodo a ọkụ.”
24 Mgbe ahụ, Zedekaya gwara Jeremaya, “Ekwela ka ntị ọzọ nụ ihe ndị a niile mụ
na gị kwuru, ma ọ bụghị ya, ị ga-anwụ. 25 Ọ bụrụ na ndịisi ọchịchị anụ na mụ na gị
kparịtara ụka, ha bịakwute gị, sị gị, ‘Gwa anyị ihe ị gwara eze na ihe eze gwara gị,
ezola ihe ọbụla n’ebe anyị nọ, ma ọ bụghị ya anyị ga-egbu gị,’ 26 mgbe ahụ ị ga-agwa
ha, ‘Anọ m na-arịọ eze arịrịọ ka ọ hapụ izighachi m n’ụlọ Jonatan, ka m nwụọ n’ebe
ahụ.’ ”
27 Ndịisi ọchịchị ahụ niile bịakwutere Jeremaya jụọ ya ajụjụ. Ọ gwakwara ha ihe
ahụ niile eze nyere ya n’iwu. Ha hapụrụ ịjụ ya ihe ọzọ, n’ihi o nwekwaghị onye ọzọ
nụrụ okwu niile ya na eze kwuru.
28 Jeremaya nọgidekwara n’ogige ndị nche tutu ruo ụbọchị ahụ a dọtara Jerusalem
n’agha.

*Ọdịda Jerusalem*

Otu a ka esi were Jerusalem.

# 39

1 Otu a ka e si dọta Jerusalem n’agha. N’afọ nke itoolu, nke ọchịchị Zedekaya
eze Juda, n’ọnwa nke iri ya, Nebukadneza eze Babilọn duuru ndị agha ya niile bịa
ibuso Jerusalem agha, Ha gbara ya gburugburu, nọchibido ya. 2 N’ụbọchị nke itoolu,
n’ọnwa nke anọ, n’afọ nke iri na otu nke ọchịchị Zedekaya, ha gwupuru mgbidi
obodo ahụ. 3 Mgbe ahụ, ndịisi niile nke eze Babilọn batara were ọnọdụ ha n’ọnụ ụzọ
ama nke Etiti. Ndị a bụ ndị batara: Negal-Shareza onye Samga, na Nebo-Sasekim,
onyeisi n’etiti ndịisi, na Negal-Shareza onyeisi nke ọkwa ya dị elu, na ndịisi niile ọzọ
nke eze Babilọn ndị fọdụrụ. 4 Mgbe Zedekaya eze Juda na ndị agha ya niile hụrụ
ha, ha gbapụrụ ọsọ. Ha ji abalị gbapụ n’obodo ahụ site n’ọnụ ụzọ ama nke dị n’etiti
mgbidi abụọ n’akụkụ ubi eze a gbara ogige, chee ihu n’ụzọ Araba.*
5 Ma ndị agha ndị Babilọn chụsoro ha n’azụ, chụkwute Zedekaya na mbara ala
Jeriko. Ha jidere ya, kpụgara ya Nebukadneza eze Babilọn, n’obodo Ribla, nke dị
n’ala Hamat, ebe ọ nọ maa ya ikpe. 6 Ọ bụ na Ribla, ka eze Babilọn nọ gbuo ụmụ ndị
ikom Zedekaya niile n’ihu ya. Ebe ahụ ka a nọkwa gbuo ndị Juda niile a na-asọpụrụ.
7 Emesịa, ọ ghụpụrụ Zedekaya anya ya abụọ, jiri ụdọ bronz kee ya agbụ kpọrọ ya
gaa Babilọn.
8 Ndị Babilọn sunyere ụlọeze na ụlọ ndị mmadụ niile ọkụ, kwatukwa mgbidi niile
nke Jerusalem. 9 Nebuzaradan bụ ọchịagha ndị nche eze, buuru ndị niile fọdụrụ
n’obodo, ha na ndị ahụ buuru ụzọ jekwuru ya, na ndị ọzọ fọdụrụ, bulaa ha Babilọn,
dịka ndị a dọtara n’agha. 10 Ma Nebuzaradan bụ ọchịagha ndị nche eze, hapụrụ
ụfọdụ ndị ogbenye, ndị na-enweghị ihe ọbụla n’ala Juda. N’oge ahụ, o nyere ha ubi
vaịnị a gbara ogige na ala ubi niile.
11 Ugbu a, Nebukadneza eze Babilọn enyelarị Nebuzaradan ọchịagha ndị nche eze
iwu banyere Jeremaya, sị, 12 “Kpọrọ ya, lekọtazie ya anya nke ọma; emekwala ya
ihe ọjọọ ọbụla, kama meere ya ihe ọbụla ọ rịọrọ gị.” 13 Ya mere, Nebuzaradan,
ọchịagha ndị nche eze, na Nebushazban, onyeisi n’etiti ndịisi, na Negal-Shareza,
bụ onyeisi ọkwa ya dị elu, na ndịisi ndị ọzọ niile nke eze Babilọn, 14 ziri ndị jere
kpọpụta Jeremaya site n’ogige ndị nche. Ha nyefere ya n’aka Gedaliya nwa Ahikam,
nwa Shefan, ka o dulaa ya n’ụlọ ya. Ya mere, Jeremaya nọgidere n’etiti ndị nke ya.
15 Ma n’oge ahụ, Jeremaya nọ dị ka onye mkpọrọ n’ogige ụlọ ndị nche, okwu
ONYENWE ANYỊ ruru ya ntị sị ya, 16 “Jekwuru Ebed-Melek onye Kush, gwa ya sị ya,

* **39:4** 39:4 Ya bụ ndagwurugwu Jọdan

‘Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, Lee,
ana m aga ime ka okwu ahụ m kwuru megide obodo a mezuo. Ihe ga-abịakwasị
obodo a bụ ịla n’iyi, ọ bụghị ọganihu. N’oge ahụ, ihe ndị a ga-emezukwa n’ihu gị.
17 Ma aga m anapụta gị n’ụbọchị ahụ, otu a ka Onyenwe anyị kwubiri. A gaghị enyefe
gị n’aka ndị ahụ ị na-atụ egwu ha. 18 Aga m azọpụta gị. Ị gakwaghị ada site na mma
agha kama ị ga-agbapụkwa na ndụ, n’ihi na ị tụkwasịrị m obi.’ ” Otu a ka Onyenwe
anyị kwubiri ya.

# 40

### *Jeremaya enwere onwe ya*

1 Mgbe oge nta gasịrị site n’oge Nebuzaradan ọchịagha ndị nche nọ na Rema mere
ka Jeremaya nwere onwe ya, okwu Onyenwe anyị ruru ya ntị. Nebuzaradan hụrụ
Jeremaya mgbe e kekọtara ya na ndị e si na Jerusalem na Juda dọta n’agha agbụ, bụ
ndị ahụ a na-ebula Babilọn. 2 Mgbe ọchịagha ndị nche eze a hụrụ Jeremaya, ọ sịrị
ya, “Ọ bụ Onyenwe anyị Chineke gị nyere iwu na ihe ọjọọ ndị a ga-abịakwasị ala a.
3 Ugbu a kwa Onyenwe anyị emeela ka ihe o kwuru mezuo. O wetarala ala a mbibi
ahụ. Ma ihe ndị a niile mezuru n’ihi na ndị gị mehiere megide Onyenwe anyị, jụ
irubere ya isi. 4 Ma taata, ana m eme ka i nwere onwe gị site n’agbụ nke e kere gị na
nkwoji aka. Ọ bụrụ na ị chọọ, soro m gaa Babilọn. N’ebe ahụ, aga m elezi gị anya
nke ọma. Ọ bụrụkwa na i kpebie na ị gaghị eso m gaa Babilọn, abịala. Ma, lee, ala a
niile dị gị n’ihu. Jee ka i biri n’akụkụ ya ọbụla dị gị mma; jeghariakwa n’ebe ọbụla ị
chọrọ.” 5 Ma tupu Jeremaya atụgharịa ịhapụ ya pụọ, Nebuzaradan gwakwara ya ọzọ
sị, “Laghachikwuru Gedaliya nwa Ahikam, nwa Shefan, onye eze Babilọn họpụtara
ka ọ na-elekọta obodo Juda niile. Gaa soro ya biri n’etiti ndị gị, maọbụ i nwere ike
gaa ebe ọbụla ọzọ dị gị mma.”
Mgbe ahụ, ọchịagha ahụ nyere ya ihe oriri hiri nne. O nyekwara ya onyinye, hapụ
ya ka ọ laa. 6 Ya mere, Jeremaya jekwuuru Gedaliya nwa Ahikam na Mizpa, soro ya
na ndị fọdụrụ n’ala ahụ biri.

### *Ogbugbu e gburu Gedaliya n’ike*

7 Mgbe ndịisi agha ahụ niile na ndị ikom ha, bụ ndị gbalagara n’ọhịa, nụrụ na eze
Babilọn emeela Gedaliya nwa Ahikam, onye na-achị ala ahụ, na onye nlekọta ndị
ikom na ndị inyom, na ụmụntakịrị, bụ ndị ogbenye ọnụ ntụ, ndị a na-eburughị gaa
Babilọn, ka ha gaa biri n’ala ọzọ, 8 ha bịakwutere Gedaliya na Mizpa. Ndị bịakwutere
ya bụ ndị a; Ishmel nwa Netanaya, Johanan na Jonatan ụmụ Kariya, na Seraya nwa
Tanhumet, na ụmụ Efai onye Netofa, na Jaazanaya nwa Maaka, na ndị ikom ha.
9 Gedaliya nwa Ahikam, nwa Shefan, ṅụọrọ ha iyi, ṅụkwaara ndị ikom ha iyi, sị,
“Unu atụla egwu ife ndị Babilọn:* birinụ n’ala a, feekwa eze Babilọn, ihe ga-agara
unu nke ọma. 10 Mụ onwe m ga-ebi na Mizpa ịnọchite anya unu n’ihu ndị Babilọn
ga-abịakwute anyị, ma gaanụ chịkọtaa mkpụrụ vaịnị niile, na mkpụrụ niile e kwesiri
ịghọkọta n’oge okpomọkụ, na mmanụ niile. Chikọtanụ ha tinye ha n’ime ite ichebe
nri unu. Birikwanụ n’obodo ahụ niile unu nwetara.”
11 Mgbe ndị Juu niile nọ na Moab, na Amọn, na Edọm, na n’obodo ndị ọzọ niile
nụrụ na eze Babilọn hapụrụ ụfọdụ ka ha biri na Juda, na ọ họpụtara Gedaliya nwa
Ahikam, nwa Shefan, mee ya onye na-achị ndị ahụ niile, 12 ha niile si n’ebe ahụ ha nọ
lọghachikwa n’ala Juda. Ha lọkwutere Gedaliya na Mizpa, site na mba ndị ahụ niile
a chụgara ha. Ha chịkọtakwara mmanya vaịnị, na mkpụrụ dị ukwuu, bụ mkpụrụ
nke na-acha n’oge okpomọkụ.

* **40:9** 40:9 Ya bụ, Kaldịa

[13] Johanan nwa Kariya, na ndịisi agha niile nọ n'ọhịa bịakwutere Gedaliya na
Mizpa [14] sị ya, "Ọ bụ na i maghị na Baalis eze ndị Amọn ezitela Ishmel nwa Netanaya
ka ọ bịa gbuo gị?" Ma Gedaliya nwa Ahikam ekwetaghị na ọ bụ eziokwu ka ha
na-ekwu.
[15] Mgbe ahụ, Johanan nwa Kariya pụrụ na nzuzo jekwuru Gedaliya na Mizpa sị ya,
"Biko, kwere ka m gaa gbuo Ishmel nwa Netanaya. O nweghị onye ga-amata otu o
si nwụọ. N'ihi gịnị ka ọ ga-eji gbuo gị, ime ka ndị Juu niile na-alọghachikwute gị
gbasasịakwa ọzọ, na imekwa ka ndị Juda fọdụrụ laa n'iyi?"
[16] Ma Gedaliya nwa Ahikam zara Johanan nwa Kariya sị ya, "Biko, emela ihe dị otu
ahụ! N'ihi na ihe ị na-ekwu banyere Ishmel abụghị eziokwu."

# 41

[1] N'ọnwa nke asaa, Ishmel nwa Netanaya, nwa Elishama, onye si n'agbụrụ eze, na
onye naara abụ otu n'ime ndịisi ozi eze, duuru ndị ikom iri bịa n'ụlọ Gedaliya nwa
Ahikam na Mizpa. Mgbe Gedaliya soo ha niile na-eri nri, [2] Ishmel nwa Netanaya na
mmadụ iri ndị ahụ ya na ha so, biliri jiri mma agha tigbuo Gedaliya nwa Ahikam,
nwa Shefan, bụ onye eze Babilọn họpụtara dịka onye na-achị ala ahụ niile. [3] Ishmel
gbukwara ndị ikom Juda niile ha na Gedaliya nọ na Mizpa, gbukwaa ndị agha Babilọn
nọkwa n'ebe ahụ.
[4] N'ụbọchị na-eso ụbọchị ahụ ha gbusịrị Gedaliya, tupu mmadụ ọbụla anụ ihe
banyere ya, [5] o nwere iri mmadụ asatọ, bụ ndị kpụchara afụọnụ ha, dọwasịa uwe
ha, gbukasịakwa onwe ha ahụ, sitere n'obodo Shekem, na Shailo na Sameria buuru
onyinye ịnata ihuọma, na ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ na-abịa n'ụlọnsọ ONYENWE
ANYỊ. [6] Ishmel nwa Netanaya sitere na Mizpa pụọ izute ha, na-akwa akwa mgbe ọ
na-aga. Mgbe o zutere ha, ọ sịrị ha, "Bịakwutenụ Gedaliya nwa Ahikam." [7] Mgbe ha
batara n'obodo, Ishmel nwa Netanaya na ndị ikom ahụ bụ ndị so ya, gburu ndị ahụ
tụnye ozu ha n'ime olulu. [8] Ma mmadụ iri n'ime ndị ahụ gwara Ishmel okwu sị ya,
"Biko, egbula anyị, n'ihi na anyị nwere ọka wiiti na ọka balị, na mmanụ aṅụ anyị
zoro n'ime ọhịa." N'ihi ya, o gbughị ha, kama ọ hapụrụ ha ndụ. [9] Olulu ahụ Ishmel
tụnyere ozu Gedaliya na ozu ndị ọzọ ahụ niile bụ olulu nke Asa bụ eze gwuru maka
ichebe Jerusalem mgbe Baasha eze Izrel na-ebuso ya agha. Ọ bụkwa ozu ndị mmadụ
ka Ishmel, nwa Netanaya kpojuru n'ime olulu ahụ.
[10] Ishmel dọtakwara ndị niile fọdụrụ n'ime Mizpa n'agha. Ọ dọtara ụmụ ndị inyom
eze n'agha, dọtakwa ndị ahụ niile a hapụrụ n'ebe ahụ, bụ ndị ahụ Nebuzaradan,
ọchịagha ndị nche eze mere ka Gedaliya nwa Ahikam bụrụ onye na-achị ha. Ishmel
nwa Netanaya dọtara ha niile n'agha duru ha na-achọ ịgbapụ gaa n'ala ndị Amọn.
[11] Mgbe Johanan nwa Kariya, na ndịisi agha ahụ niile ya na ha nọ nụrụ ihe ọjọọ
Ishmel nwa Netanaya mere, [12] ha duuru ndị agha ha niile pụọ ibuso Ishmel nwa
Netanaya agha. Ha chụkwutere ya n'ebe dị nso n'iyi ukwu Gibiọn. [13] Mgbe ndị ahụ
niile Ishmel dọtara n'agha hụrụ Johanan nwa Kariya na ndịisi agha so ya, ha ṅụrịrị
ọṅụ. [14] Ndị ahụ niile Ishmel dọtara n'agha na Mizpa, chigharịrị gafee n'ebe Johanan
nwa Kariya nọ. [15] Ma Ishmel nwa Netanaya, na mmadụ asatọ n'ime ndị agha ya,
gbapụrụ ọsọ gbanarị Johanan. Ha gbalagara n'ala ndị Amọn.

*Mgbapụ ọsọ gaa Ijipt*

[16] Mgbe ahụ, Johanan nwa Kariya na ndịisi agha niile ya na ha so duuru ndị ahụ
niile ha napụtara site n'aka Ishmel pụọ, bụ ndị ahụ Ishmel nwa Netanaya dọtara
n'agha na Mizpa, mgbe o buuru ụzọ gbuo Gedaliya nwa Ahikam. Ndị ọzọ Johanan
si na Gibiọn durukwa bụ ndị a, ndị agha, na ndị inyom, na ụmụntakịrị, na ndịisi
ụlọ ikpe. [17] Ha duuru ha na-aga, ma kwụsị n'obodo Gerut Kimham, nke dị nso na
Betlehem, ebe ha bu n'obi ịga Ijipt, [18] n'ihi ịgbanarị ndị Babilọn. Ha tụrụ egwu

ihe ndị Babilọn ga-eme ha n'ihi ogbugbu Ishmel nwa Netanaya gburu Gedaliya nwa
Ahikam, onye eze Babilọn họpụtara ka ọ bụrụ onye na-achị ala ahụ.

# 42

1 Mgbe ahụ, Johanan nwa Kariya, na ndịisi agha ahụ niile, na Jezenaya nwa
Hoshaya, na ndị Izrel niile, site n'onye dịkarịsịrị nta ruo n'onye dịkarịsịrị ukwuu,
bịakwutere 2 Jeremaya onye amụma sị ya, "Biko, anyị bịara ịrịọ gị arịrịọ. Kpọkuo
Onyenwe anyị Chineke gị n'ekpere n'ihi anyị bụ ndị fọdụrụ n'ala a. Ị maara na o
nwere oge anyị dị ọtụtụ n'ala a, ma ugbu a anyị dị naanị ole na ole. 3 Kpee ekpere
ka Onyenwe anyị Chineke gị gosi anyị ihe anyị ga-eme, maọbụ ebe anyị ga-eje."

4 Jeremaya onye amụma zara sị ha, "Anụla m ihe unu kwuru. Aga m ekpere
Onyenwe anyị Chineke unu ekpere dịka unu rịọrọ. Mgbe m natara ọsịsa ya, aga
m agwakwa unu ihe niile Onyenwe anyị kwuru. O nwekwaghị ihe m ga-ezonarị
unu."

5 Ha sịrị Jeremaya, "Ka Onyenwe anyị bụrụ onyeama eziokwu na nke kwesiri
ntụkwasị obi megide anyị, ma ọ bụrụ na anyị emeghị dịka ihe niile Onyenwe anyị bụ
Chineke gị gwara gị ka ị gwa anyị. 6 Ọ bụ ihe Chineke, onye anyị na-eziga gị ka ị jụta
ase, kwuru ka anyị ga-eme. Ma ọ dị mma, ma ọ dị njọ. Anyị ga-erubere Onyenwe
anyị Chineke gị isi, ka ihe gaara anyị nke ọma."

7 Mgbe ụbọchị iri gasịrị okwu Onyenwe anyị ruru Jeremaya ntị. 8 N'ihi ya ọ kpọrọ
Johanan nwa Kariya, ndịisi agha ya na ha so na ndị Izrel niile, site n'onye dịkarịsịrị
nta ruo n'onye dịkarịsịrị ukwuu. 9 Mgbe ha bịara, ọ gwara ha okwu sị ha, "Ihe ndị
a ka Onyenwe anyị, Chineke Izrel, onye unu zigara m ka m wegara arịrịọ unu, sịrị:
10 'Ọ bụrụ na unu anọgide n'ala a, aga m ewuli unu elu; agaghị m akwada unu. Aga
m akụkwa unu dịka osisi, gharakwa ihopu unu. N'ihi na ihe ọjọọ ahụ m mere ka ọ
bịakwasị unu na-ewute m nke ukwuu. 11 Unu atụla eze Babilọn egwu, bụ onye unu
na-atụ egwu ya ugbu a. Unu atụla ya egwu, otu a ka Onyenwe anyị kwubiri, n'ihi na
anọnyeere m unu, aga m azọpụta unu, napụtakwa unu site n'aka ya. 12 Aga m enwe
obi ebere n'ebe unu nọ, si otu a mee ka ya onwe ya nweekwa obi ebere n'ebe unu
nọ. Ọ ga-emekwa ka unu nwetaghachikwa ala unu.'

13 "Ma ọ bụrụ na unu onwe unu asị, 'Anyị agaghị anọgide n'ala a,' si otu a nupu
isi n'ebe Onyenwe anyị Chineke unu nọ; 14 ọ bụrụkwa na unu asị, 'Mba, anyị ga-aga
biri n'ala Ijipt ebe anyị na-agaghị ahụ agha, maọbụ nụ ụda opi ike, maọbụ nọọ agụụ
n'ihi enweghị ihe oriri,' 15 mgbe ahụ, nụrụnụ okwu Onyenwe anyị, unu ndị fọdụrụ
na Juda. Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru,
'Ọ bụrụ na unu anọgidesie ike na mkpebi unu ịga Ijipt ibiri n'ebe ahụ, ọ bụrụkwa
na unu agaa biri n'Ijipt n'eziokwu, 16 mgbe ahụ, mma agha ahụ unu na-atụ egwu
ga-eru unu n'ahụ, ụnwụ ahụ unu na-atụ oke egwu ya ga-esoro unu baa n'Ijipt. Unu
ga-anwụkwa n'ebe ahụ. 17 N'ezie, ndị ahụ niile kpebiri ịga biri n'Ijipt ga-anwụ site
na mma agha, na site n'ụnwụ, na site n'ọrịa na-efe efe. O nweghị onye ọbụla n'ime
ha ga-afọdụ ndụ, o nweghị onye ọbụla n'ime ha ga-agbanarị ihe ọjọọ ahụ m ga-eme
ka ọ bịakwasị ha.' 18 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke
Izrel kwuru, 'Dịka iwe m na ọnụma m bụ ihe awụkwasịrị n'elu ndị bi na Jerusalem,
otu a ka m ga-esi wụkwasịkwa unu ọnụma m, mgbe unu ga-aga Ijipt. Unu ga-aghọ
ihe ọbụbụ ọnụ na ihe iju anya, ihe nkọcha na ihe ịta ụta. Unu agakwaghị ahụ ebe a
anya ọzọ.'

19 "Unu bụ ndị fọdụrụ na Juda, lee na Onyenwe anyị agwala unu sị, 'Unu agala
Ijipt.' Matanụ nke ọma na m adọọla unu aka na ntị, 20 na unu mehiere n'obi unu
mgbe unu ziri m sị m jụta Onyenwe anyị Chineke unu ase. Mgbe ahụ, unu rịọrọ m
sị m, 'Rịọrọ anyị Onyenwe anyị Chineke anyị arịrịọ, gwa anyị ihe niile o kwuru, anyị

ga-emekwa ya.’ 21 Agwala m unu taa ihe o kwuru, ma unu ajụla ime ihe ahụ niile
Onyenwe anyị Chineke unu, bụ onye unu zigara m ka m jekwuru, kwuru. 22 Ya mere,
matanụ ya nke ọma taa na unu ga-anwụ site na mma agha, na site n’ụnwụ, na site
n’ọrịa na-efe efe, n’ebe ahụ unu chọrọ ịga biri.”

# 43

1 Mgbe Jeremaya gwasịrị ndị ahụ niile okwu ahụ Onyenwe anyị Chineke ha ziri
ya ka o zie ha, 2 Azaraya nwa Hoshaya, Johanan nwa Kariya na ndị nganga niile nọ
n’ebe ahụ, gwara Jeremaya okwu sị ya, “Ọ bụ okwu ụgha ka i kwuru! Onyenwe anyị
Chineke anyị ezighị gị ka i kwuo na anyị ekwesighị ịga biri n’Ijipt, 3 Kama ọ bụ Baruk
nwa Neraya na-akwalị gị megide anyị, n’ihi na ọ chọrọ inyefe anyị n’aka ndị Babilọn
ka ha gbuo anyị, maọbụ buru anyị gaa Babilọn dịka ndị a dọtara n’agha.”
4 Ya mere, Johanan nwa Kariya na ndịisi agha ahụ niile, nakwa ndị mmadụ ahụ niile
nupuru isi n’iwu Onyenwe anyị, jụụ ịnọgide n’ala Juda. 5 Kama Johanan nwa Kariya,
na ndịisi agha ahụ, duuru ndị ahụ fọdụrụ na Juda pụọ, ha na ndị ahụ si na mba ndị
ọzọ dị iche iche, ebe ha gbagara lọta. 6 Ha duuru ndị ikom niile na ndị inyom niile na
ụmụntakịrị niile, na ụmụ ndị inyom eze niile, bụ ndị ahụ Nebuzaradan ọchịagha ndị
nche eze Babilọn tinyere na nlekọta Gedaliya nwa Ahikam, nwa Shefan na Jeremaya
onye amụma na Baruk nwa Neraya. 7 Ya mere, ha nupuru isi n’ebe Onyenwe anyị
nọ site n’ịbanye ala Ijipt. Ha jegidere ije ruo n’obodo Tapanhis.
8 Mgbe ha nọ na Tapanhis, okwu Onyenwe anyị ruru Jeremaya ntị sị ya, 9 “Mgbe
ndị Juu nọ na-ele gị anya, chịrị ụfọdụ nkume buru ibu n’aka gị, gaa zoo ha n’ime ụrọ
dị na mpụta ihu ụlọ e ji aja ụrọ* wuo, nke dị n’ọnụ ụzọ e si abata n’ụlọ Fero dị na
Tapanhis. 10 Mgbe ahụ sị ha, ‘Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile,
bụ Chineke Izrel sịrị, Aga m ezi ozi kpọta ohu m bụ Nebukadneza, eze Babilọn. Aga
m edokwasịkwa ocheeze ya n’elu nkume ndị a m zoro n’ebe a, ọ ga-agbasa ụlọ ndo
nke ịbụ eze ya n’elu ha. 11 Ọ ga-abịa buso Ijipt agha, si otu a mee ka ha nwụọ, bụ
ndị ahụ a kwadobere maka ọnwụ, mee ka a dọta ha n’agha, bụ ndị ahụ a kwadobere
na-aga adọta n’agha; mekwaa ka ha nwụọ site na mma agha bụ ndị ahụ a kwadobere
na ha ga-anwụ site na mma agha. 12 Ọ ga-esunyekwa ọkụ n’ụlọ ebe a nọ na-efe chi
niile nke ndị Ijipt. Ọ ga-esure ụlọ ndị a ọkụ, dọtakwa chi ha niile n’agha. Dịka onye
ọzụzụ atụrụ si ewepụcha igwu site na uwe ya, ọ ga-esikwa otu a wezuga onwe ya
n’udo site n’Ijipt pụọ. 13 N’ime ụlọnsọ anyanwụ dị n’Ijipt, ka ọ ga-akwatu ogidi nsọ
niile, surekwaa ụlọnsọ niile nke chi dị iche iche n’Ijipt ọkụ.’ ”

# 44

*Mbibi na-abịa n’ihi ikpere arụsị*

1 Ndị a bụ okwu ruru Jeremaya ntị banyere ndị Juu ahụ niile bi n’ala Ijipt, bụ ndị
bi na Migdol, na n’ime Tapanhis, na n’ime Memfis, na n’ime Patros, 2 “Ihe ndị a ka
Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, Unu ji anya unu hụ
ihe ọjọọ ahụ niile m mere ka ha bịakwasị Jerusalem, na obodo niile nke Juda. Lee,
obodo ndị ahụ aghọọla mkpọmkpọ ebe taa, o nwekwaghị onye bi n’ime ha. 3 Ihe ndị
a bịakwasịrị ha n’ihi ihe ọjọọ ha mere. Ha kpasuru m iwe site n’ịchụ aja ihe nsure
ọkụ na-esi isi ụtọ, na site n’ife chi ndị ọzọ, ndị ha onwe ha maọbụ nna nna ha na-
amaghị. 4 Site n’oge ruo n’oge, mgbe mgbe, eziteere m ha ndị ohu m, bụ ndị amụma,
ndị gwara ha okwu sị ha, ‘Unu emela ihe arụ dị otu a nke m kpọrọ asị!’ 5 Ma ha egeghị
ntị, ha atọkwaghị ntị ha n’ala. Ha esiteghị n’ihe ọjọọ ha na-eme chegharịa, maọbụ
kwụsị ịchụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye chi ndị ọzọ. 6 N’ihi ya, awụkwasịrị m

* **43:9** 43:9 Lit. Brik

ha ọnụma m na iwe m, nke rere dịka ọkụ megide obodo niile nke Juda, na okporoụzọ
nke Jerusalem. Ya mere, ha ghọrọ mkpọmkpọ ebe na ebe tọgbọrọ n’efu taa.

7 “Ma ugbu a, ihe ndị a ka Onyenwe anyị Chineke Onye pụrụ ime ihe niile, bụ
Chineke Izrel kwuru, N’ihi gịnị ka unu ji chọọ iji aka unu wetara onwe unu ihe ọjọọ
ndị a? Lee ka unu si duru ndị ikom na ndị inyom niile, na ụmụntakịrị niile, na ụmụ a
mụrụ ọhụrụ niile na-agbala n’ala Ijipt, si otu a mee ka, ọ bụladị, otu mkpụrụ mmadụ
hapụ ịfọdụkwa n’ala Juda. 8 Gịnị mere unu na-eji ọrụ aka unu na-akpasu m iwe,
na-esurere chi ndị ọzọ ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n’ala Ijipt, ebe unu bịara ibi? Unu
onwe unu ga-ala onwe unu n’iyi, mekwaa onwe unu ihe ịbụ ọnụ nakwa ihe nkọcha
n’etiti mba niile dị n’ụwa. 9 Unu echefuola ihe ọjọọ nna unu ha mere na ihe ọjọọ
niile ndị eze Juda na ndị eze nwanyị Juda mere na ihe ọjọọ niile nke unu onwe unu
na ndị nwunye unu mekwara n’ala Juda, na n’okporoụzọ Jerusalem? 10 Ruo ụbọchị
taa, o nwebeghị onye ọbụla n’ime ha wedarala onwe ya ala, maọbụ tụọ egwu m; ha
adịghị ejegharị n’iwu m, maọbụ jidesie ụkpụrụ ndị ahụ niile m debere n’ihu ha na
n’ihu nna nna ha aka ike, ịgbaso ya.

11 “N’ihi ihe ndị a niile, otu a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke
Izrel kwuru: Ekpebiela m ime ka ihe ọjọọ bịakwasị unu; ekpebiela m ibibi Juda.
12 Aga m eme ka ndị ahụ niile fọdụrụ n’ala Juda, bụ ndị ahụ kpebiri n’obi ha ịga biri
n’ala Ijipt ghara ịdịkwa. A ga-ala ha n’iyi n’ala Ijipt; ha ga-ada site na mma agha,
maọbụ site n’ụnwụ. Ndị niile dịkarịsịrị ukwuu n’etiti ha na ndị niile dịkarịsịrị nta
ga-anwụ. Ha ga-aghọkwa ihe ịbụ ọnụ na ihe iju anya, ihe ọmụma ikpe na ihe nkọcha.
13 Dịka m si taa Jerusalem ahụhụ, otu a ka m ga-esi jiri mma agha, na ụnwụ, na ọrịa
na-efe efe, taa ndị ahụ bi n’Ijipt ahụhụ. 14 O nweghị onye ọbụla n’ime ndị Juda ahụ
fọdụrụ, ndị gara biri n’Ijipt nke ga-agbanarị ọnwụ. Ọ bụ ezie na ọ na-agụsị ha agụụ
ike ịlọghachi n’ala Juda, ma o nweghị onye ọbụla n’ime ha ga-alọghachi, karịakwa
mmadụ ole na ole ndị ga-agbapụ agbapụ.”

15 Ndị nọ n’ebe ahụ mgbe ahụ Jeremaya kwuru okwu ndị a bụ ndị ikom ahụ niile
maara na ndị nwunye ha na-achụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye chi ndị ọzọ, na
ndị niile bi n’Ijipt n’akụkụ Patros. Ndị a zara Jeremaya sị ya, 16 “Anyị agaghị anabata
okwu ahụ i si n’aha Onyenwe anyị gwa anyị 17 N’ihi na anyị aghaghị ime ihe ndị ahụ
anyị kpebiri ime. Anyị ga-achụrụ Eze nwanyị mbara Eluigwe aja ihe nsure ọkụ na-esi
isi ụtọ. Anyị ga-awụsakwara ya aja ihe ọṅụṅụ dịka anyị na nna anyị ha, ndị eze anyị
na ndịisi ọchịchị anyị mere n’obodo Juda niile na n’okporoụzọ Jerusalem. N’oge ahụ,
anyị na-eriju afọ, ihe na-agakwara anyị nke ọma, o nweghị ihe ọjọọ bịakwasịrị anyị.
18 Ma site n’oge anyị kwụsịrị ịchụrụ Eze nwanyị mbara Eluigwe aja, ihe nsure ọkụ
na-esi isi ụtọ na ịwụsara ya aja ihe ọṅụṅụ, ihe niile akọla anyị, ọ bụkwa site na mma
agha na oke ụnwụ ka anyị na-ala n’iyi.”

19 Ndị inyom ahụ niile kwukwara sị, “Mgbe ahụ anyị na-eji ihe nsure ọkụ na-esi isi
ụtọ na-achụrụ Eze nwanyị mbara Eluigwe aja na mgbe ahụ anyị na-awụsakwara ya
aja ihe ọṅụṅụ, ọ bụ na ndị di na-alụ anyị amaghị na anyị na-eme achịcha n’oyiyi ya,
na-awụsakwara ya aja ihe ọṅụṅụ?”

20 Mgbe ahụ, Jeremaya gwara mmadụ ahụ niile okwu, ma ndị ikom ma ndị inyom
ahụ niile zara ya okwu sị ha, 21 “Onyenwe anyị chetara ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ
niile unu na nna unu ha, na ndị eze unu, na ndịisi ọchịchị unu, na ndị Izrel niile
ji chụọ aja n’obodo Juda niile na n’okporoụzọ Jerusalem niile. 22 N’ihi ya, mgbe
Onyenwe anyị na-enweghịkwa ike ịnagide ihe ọjọọ niile ndị a unu mere, na ihe
arụ niile unu mere, o mere ka ala unu ghọọ mkpọmkpọ ebe, na ihe iju anya, na
ihe nkọcha, nke mmadụ na-ebighị n’ime ya, dịka ọ dị taa. 23 N’ihi na unu surere
ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ na n’ihi na unu mehiere megide Onyenwe anyị, ghara

irubere ya isi, maọbụ ịgbaso iwu ya, maọbụ idebe ụkpụrụ ya, maọbụ imezu ihe niile
ọ sịrị ka unu mee, n’ihi ya ka ihe ọjọọ ndị a ji dakwasị unu dịka unu na-ahụ ugbu a.”
24 Mgbe ahụ, Jeremaya gwara ndị inyom ahụ, na ndị Izrel niile okwu sị ha, “Nụrụnụ
okwu ONYENWE ANYỊ unu ndị Juda niile nọ n’Ijipt. 25 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye
pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru, Unu na ndị nwunye unu esitela n’omume
unu gosi na unu na-emezu ihe ndị ahụ unu ji ọnụ kwuo sị, ‘Anyị aghaghị imezu nkwa
niile anyị kwere banyere ịchụ aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ na nke ihe ọṅụṅụ nye
Eze nwanyị mbara Eluigwe.’
“Gaanụ n’ihu mezuo nkwa unu kwere! Mezuokwanụ iyi unu ṅụrụ. 26 Ma
nụrụkwanụ okwu ONYENWE ANYỊ, unu ndị Juu niile bi n’Ijipt, ‘Eji m aha m dị ukwuu
na-aṅụ iyi,’ ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu, ‘na o nweghị onye Juda ọbụla bi n’akụkụ
ọbụla nke Ijipt, nke ga-akpọkukwa aha m ọzọ, maọbụ jiri ya ṅụọ iyi sị, “Dịka Onye
kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ.” 27 N’ihi na anya m na-ele ha
abụghị maka ime ha mma, kama ọ bụ maka ime ha ihe ọjọọ. Ndị Juu niile bi n’Ijipt
ga-anwụ site na mma agha, maọbụ site n’oke ụnwụ, tutu ruo mgbe e bibichara ha
dum. 28 Naanị mmadụ ole na ole ga-esi Ijipt gbalata Juda ịgbanarị mma agha. Mgbe
ahụ ndị Juda niile fọdụrụ, bụ ndị bịara biri n’Ijipt, ga-amata onye okwu ya na-eguzosi
ike, maọbụ nke m, maọbụ nke ha.
29 “ ‘Nke a ga-abụrụ unu ihe ama nke ga-egosi unu na m ga-ata unu ahụhụ n’ebe
a,’ otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara. ‘Ka unu si otu a mara na mba m na-aba na m
ga-emesi unu ike aghaghị iguzosi ike.’ 30 Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, ‘Aga m arara
Fero Hofra, eze Ijipt nyefee n’aka ndị iro ya, bụ ndị na-achọ ndụ ya, dịka m si rara
Zedekaya eze Juda, nyefee n’aka Nebukadneza eze Babilọn, bụ onye iro ahụ chọrọ
ndụ ya.’ ”

# 45

*Ozi e ziri Baruk*

1 Okwu ndị Jeremaya onye amụma gwara Baruk nwa Neraya, mgbe o dere okwu ndị
a n’akwụkwọ dịka Jeremaya na-akpọpụta ha, n’afọ nke anọ nke ọchịchị Jehoiakim
nwa Josaya eze Juda. Jeremaya gwara Baruk sị, 2 “Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ bụ
Chineke Izrel na-agwa gị, gị Baruk, 3 Ị sịrị, ‘Ahụhụ diịrị m! Lee na ONYENWE ANYỊ
atụkwasịrịla m mwute n’elu ihe mgbu nke m nwere. Ike ịsụ ude agwụla m, ma ruo
ugbu a, achọtabeghị m izuike.’ 4 Ma ihe ndị a ka ị ga-agwa ya, ‘Otu a ka ONYENWE
ANYỊ kwuru, Aga m akwada ihe ndị ahụ niile m wuru, hopukwa ihe ndị ahụ niile m
kụrụ n’ala* a niile. 5 Ma gị onwe gị, ị na-achọrọ onwe gị ihe ukwu? Achọkwala ha.
N’ihi na, lee, aga m eme ka ihe ọjọọ bịakwasị mmadụ niile, otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwubiri, ma aga m eme ka ị jiri ndụ gị gbapụ jee ebe ọbụla ị ga-eje.† ’ ”

# 46

*Ozi e ziri banyere Ijipt*

1 Ndị a bụ okwu ONYENWE ANYỊ, nke ruru Jeremaya onye amụma ntị, banyere mba
dị iche iche.

2 Nke dịrị Ijipt:

Ndị a bụ okwu dị megide usuu ndị agha Fero Neko, bụ eze Ijipt, ndị Nebukadneza
eze Babilọn meriri n’agha na Kakemish, n’akụkụ osimiri Yufretis, n’afọ nke anọ nke
ọchịchị Jehoiakim nwa Josaya, bụ eze Juda.

* **45:4** 45:4 Maọbụ, n’ụwa † **45:5** 45:5 Ị ga-agbapụ na ndụ ga n’ebe ọbụla ị ga-agbaga

3 “Kwadoonụ ọta agha unu, ndị ukwu na ndị nta,
zọpụnụ ije maka ibu agha.
4 Kegidezienụ ịnyịnya unu,
rịkwasịkwanụ n’elu ha.
Guzokwanụ n’ọnọdụ ibu agha unu,
ma kpukwasịkwanụ onwe unu okpu agha unu.
Mụọnụ ùbe unu ka ọ dị nkọ,
yikwasịkwanụ uwe agha unu.
5 Gịnị ka anya m abụọ hụrụ?
Ụjọ na-atụ ha,
ha na-agbaghachikwa azụ;
lee, a na-etipịa ndị ha bụ dike n’agha.
Ha na-agbasi ọsọ ike,
na-eleghị anya n’azụ.
Egwu dịkwa n’akụkụ niile,” otu a ka Onyenwe anyị kwupụtara.
6 “Ndị nwere ụkwụ ọsọ enweghị ike ịgbalaga,
ndị dị ike enweghị ike isi n’ebe ahụ wezuga onwe ha.
Ha na-asọ ngọngọ daa,
n’akụkụ ugwu dị nso n’osimiri Yufretis.

7 “Onye bụ onye a, nke na-ebili* ọtọ dịka osimiri Naịl,
na dịka osimiri nke mmiri ya na-amagharị?
8 Ijipt na-ebili elu dịka osimiri Naịl,
dịka osimiri nke mmiri ya na-amagharị.
Ọ na-asị, ‘Aga m ebili kpuchie ụwa niile.
Aga m ebibi obodo ukwu dị iche iche, na ndị mmadụ bi n’ime ha.’
9 Gbabanyenụ n’ọgbọ agha, unu ịnyịnya niile.
Gbanụ ọkụ ọkụ, unu ndị na-agba ụgbọ agha.
Zọọnụ ike ike, unu ndị bụ dike n’agha, unu ndị ikom Kush na Put, ndị na-ebu ọta,
na unu ndị ikom Lidiya ndị na-agba ụta.
10 Ma ụbọchị ahụ dịrị Onyenwe anyị, bụ Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile.
Ọ bụ ụbọchị ịbọ ọbọ ya, ụbọchị ọ ga-abọrọ ọbọ n’ahụ ndị iro ya.
Mma agha ga-eripịa ha tutu afọ eju ya,
e, tutu ruo mgbe ọ ṅụjuru ọbara afọ.
N’ihi na Onyenwe anyị bụ Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile ga-achụ aja n’ala ahụ dị n’ugwu,
nke dị nso osimiri Yufretis.

11 “Rigoro Gilead ka i weta mmanụ a na-ete n’ọnya,
gị Ada Ijipt na-amaghị nwoke.
Ma ọ bụ n’efu ka ị na-ewebata ọgwụ ndị a niile,
n’ihi na ọgwụgwọ ọbụla agaghị adịrị gị.
12 Mba niile ga-anụ akụkọ ihe ihere bịakwasịrị gị.
N’akụkụ niile nke ụwa ka a ga-anụkwa ịkwa akwa gị.
Otu dike n’agha na-asọ ngọngọ na-adakwasị dike ibe ya;
ha abụọ na-adakwa n’ala.”
13 Okwu ndị a ka Onyenwe anyị gwara Jeremaya onye amụma, banyere ọbịbịa nke
Nebukadneza, bụ eze Babilọn, onye na-abịa ibuso Ijipt agha.
14 “Kwupụtanụ ihe ndị a n’Ijipt. Kwusaa ya na Migdol.

* **46:7** 46:7 Maọbụ, na-eruju

Kwusaakwa ya na Memfis, na n’obodo Tapanhis.
Guzozienụ onwe unu n’usoro, nọọkwanụ na njikere,
n’ihi na mma agha na-eripịa ndị gbara unu gburugburu.
15 Gịnị mere a ga-eji gbudasịa ndị gị niile bụ dike n’agha?
Ha agaghị enwe ike guzokwa, n’ihi na ONYENWE ANYỊ ga-akwada ha.
16 Ha ga-asọ ngọngọ mgbe mgbe,
ha ga-adakwasịkwa n’elu ibe ha.
Ha ga-asịkwa, ‘Bilienụ ọtọ, bịanụ ka anyị laghachikwuru ndị anyị,
ka anyị laghachikwa n’ala ebe a mụrụ anyị,
ka anyị wezugakwa onwe anyị site na mma agha nke ndị mmegbu.’
17 N’ebe ahụ ka ha ga-anọ tie mkpu sị,
‘Fero eze Ijipt bụ naanị onye oke okwu.
Lee, oge a kara aka nye ya efunarịla ya.’

18 “Dịka mụ onwe m na-adị ndụ,” ka Eze ahụ kwupụtara,
onye aha ya bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
“otu onye ga-abịa, onye dị ukwuu dịka ugwu Taboa si dị ukwuu n’ebe ugwu ndị ọzọ dị,
na dịka Kamel si dịrị n’akụkụ osimiri.
19 Kwakọtaanụ ngwongwo unu, jikerenụ maka ije biri n’ala ọzọ,
unu ndị bi n’Ijipt,
n’ihi na a ga-eme ka Memfis ghọọ ebe tọgbọrọ n’efu.
Ọ ga-aghọkwa mkpọmkpọ ebe, nke mmadụ na-agaghị ebi n’ime ya.

20 “Ijipt mara mma dịka nne ehi,
ma ijiji† nke si n’akụkụ ugwu,
na-abịa imegide ya.
21 Ndị agha e goro ego nọ n’etiti ha
dịka ụmụ ehi gbara abụba.
Ha onwe ha kwa ga-atụgharịa gbaa ọsọ,
ha agaghị eguzo,
n’ihi na ụbọchị nhụju anya na-abịakwasị ha,
bụ ụbọchị a ga-ata ha ahụhụ.
22 Ijipt ga-eme mkpọtụ, dịka mkpọtụ nke agwọ na-agba ọsọ na-eme,
mgbe ndị iro ya ji ike na-abịakwasị ya.
Ha ga-eji anyụike bịakwasị ya,
dịka ndị na-egbutu osisi.
23 Ha ga-egbutu oke ọhịa ya,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri,
“n’agbanyeghị na ọ bụ oke ọhịa rubigara oke.
Ha dị ọtụtụ karịa igurube,
a pụghịkwa ịgụta ole ha dị.
24 A ga-eme ka ihere mee Ada Ijipt,
mgbe e nyefere ya n’aka ndị si n’akụkụ ugwu bịa.”
25 ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel, sịrị, “Ana m aga ime
ka ahụhụ bịakwasị Amọn, bụ chi ndị Tibs, na Fero, na ala Ijipt na chi niile dị n’ime
ya, ndị eze ya niile nakwa ndị ahụ na-atụkwasị Fero obi. 26 Aga m enyefe ha n’aka
ndị ahụ na-achọsi ndụ ha ike, bụ Nebukadneza eze Babilọn, na ndịisi ọchịchị ya. Ma
n’ikpeazụ, aga m emekwa ka ndị mmadụ birikwa n’ime ya ọzọ, dịka e si biri n’ime
ya na mgbe ochie.” Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

† **46:20** 46:20 Odudo na ijiji bụ ihe na-ata anụmanụ

27 “Atụla egwu, gị Jekọb, ohu m.
Adakwala mba, gị Izrel.
N’ihi na lee, aghaghị m ịzọpụta gị site n’ebe dị anya nke e mere ka ị gaa biri.
Aga m azọpụtakwa ụmụ ụmụ gị site n’ala ebe e mere ka ha gbapụ ọsọ gaa biri.
Jekọb ga-emesịakwa biri n’udo, na-atụghị egwu ọbụla.
Ọ dịkwaghị onye ga-eme ka ọ tụọ ụjọ.
28 Atụla egwu, gị Jekọb, ohu m,
n’ihi na anọnyeere m gị,”
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
“A sịkwarị na m ebibie mba ndị ahụ niile
nke m mere ka ị gaa biri n’etiti ha kpamkpam,
agaghị m ebibi gị kpamkpam.
Aga m adọ gị aka na ntị, ma ọ ga-abụ site n’ụzọ ikpe ikpe ziri ezi.
Agakwaghị m ahapụ inye gị ahụhụ i kwesiri ịnata.”

# 47

*Ozi e ziri banyere ndị Filistia*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ nke ruru Jeremaya onye amụma ntị banyere ndị Filistia.
Okwu ndị a bịara tupu Fero ebuso obodo Gaza agha.

2 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“Lee ka mmiri si ala elu n’akụkụ ugwu;
ha ga-aghọkwa mmiri nke na-erubiga oke.
Ha ga-erukwasị ala ahụ, kpuchiekwa ihe niile dị n’ime ya,
ọ ga-ekpuchikwa obodo niile dị n’ala ahụ, na ndị bi n’ime ya.
Ndị niile bi n’ala ahụ ga-eti mkpu akwa,
mmadụ niile ga-akwasikwa akwa ike.
3 Mgbe ha ga-anụ ụzụ ikiri ụkwụ nke ọtụtụ ịnyịnya, nke na-agbata ọsọ na-abịa n’ebe ha nọ,
mgbe ha ga-anụkwa ụzụ ụgbọ agha ndị iro,
na ụzụ nzọ ụkwụ igwe ha.
N’oge ahụ, ndị bụ nna agaghị enwe ike nyere ụmụ ha aka,
n’ihi na aka ha ga-akụda n’akụkụ ha.
4 N’ihi na ụbọchị ahụ abịala
mgbe a ga-ebibi ndị Filistia niile,
mgbe a ga-ebipụ ndị niile fọdụrụ,
ndị nwere ike inyere obodo Taịa na Saịdọn aka.
N’ihi na ONYENWE ANYỊ akwadoola ibibi ndị Filistia,
o kwadoola ibibi ndị ahụ fọdụrụ n’ọnụ mmiri Kafto.
5 Gaza ga-akpụcha isi ya n’ọnọdụ iru ụjụ.
A ga-eme ka Ashkelọn dere duu.
Ruo ole mgbe ka unu ga-anọgide na-egbukasị onwe unu ahụ,
unu bụ ndị fọdụrụ afọdụ bi n’ala dị larịị?

6 “ ‘Ewoo, gị mma agha ONYENWE ANYỊ,
ole mgbe ị ga-ezu ike?
Mịnye onwe gị n’ọbọ gị,
kwụsị ịkpa ike gị ma dere duu.’
7 Ma ọ ga-esikwanụ aṅaa zuru ike,
ebe ọ bụ ONYENWE ANYỊ nyere ya iwu

ibu agha megide Ashkelọn,
na ndị bi n’ọnụ mmiri oke osimiri?”

# 48

*Ozi e ziri banyere Moab*

1 Nke a dịrị Moab:

Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru,
“Ahụhụ dịrị Nebo! N’ihi na a ga-emebi ya.
A ga-emekwa ka ihere mee Kiriatem, e, a ga-adọta ya n’agha.
A ga-etipịa Misgab, mee ka ihere mee ya.
2 Ọ dịkwaghị ndị ga-eto Moab ọzọ,
kama a ga-anọ na Heshbọn pịa ọpịpịa ọdịda ya.
Ha ga-asị, ‘Bịanụ ka anyị bibie mba a, ka ọ ghara ịdịkwa.’
Ọ bụladị gị bụ Madmen, ka a ga-eme ka i dere duu.
A ga-ejikwa mma agha chụọ gị ọsọ.
3 Gee ntị nụrụ akwa na-ada na Horonaim,
ọ bụ mkpu akwa oke mbibi na ịla n’iyi.
4 A ga-etikpọ Moab,
ụmụntakịrị ya ga-etikwa mkpu akwa.
5 Ha ga-eji oke ịkwa akwa
na-agbago ụzọ Luhit;
a ga-anụkwa mkpu akwa nke ndị e bibiri ihe ha n’ụzọ na-agbada Horonaim.
A ga-anụ akwa mwute n’ihi mbibi nke bịakwasịrị ha.
6 Gbalaganụ! Gbapụnụ ọsọ ndụ!
Dịkwanụ ka osisi nta nke dị n’ọzara.
7 Ebe ọ bụ na unu na-atụkwasị obi n’aka ọrụ unu, na n’akụnụba unu,
a ga-adọtakwa unu n’agha.
Ndị Kemosh ka a ga-eburu gaa mba ọzọ,
ha na ndị nchụaja na ndịisi ọchịchị ya.
8 Onye mbibi ahụ ga-abịa megide obodo niile.
O nwekwaghị obodo nke pụrụ ịgbanarị mbibi ya.
A ga-ala ndagwurugwu niile n’iyi,
bibiekwa ebe dị elu nke dị larịị,
n’ihi na ọ bụ okwu si n’ọnụ ONYENWE ANYỊ pụta.
9 Wụkwasị ala Moab nnu,
n’ihi na a ga-eme ka ọ ghọọ ebe tọgbọrọ n’efu.
Obodo niile dị n’ime ya ga-aghọ mkpọmkpọ ebe,
nke mmadụ ọbụla na-agaghị ebikwa n’ime ya.

10 “Ọbụbụ ọnụ dịrị onye ahụ ji aghụghọ na-arụ ọrụ ONYENWE ANYỊ.
Ahụhụ dịrị onye na-ewezuga mma agha n’ebe iwusi ọbara dị.

11 “Onye na-anọ juu ka Moab bụ site na mgbe ọ bụ nwantakịrị,
ọ dịka mmanya doro edo,
nke a na-adịghị esi n’otu udu wụgharịa ya n’ime udu ọzọ,
o nwebeghị oge ọbụla e ji mee ka ọ ga biri n’ala ọzọ.
Ọ bụ ya mere ụtọ ya adịghị agbanwe agbanwe,
isisi ya agbanwekwaghị.
12 Ma ụbọchị ndị ahụ na-abịa,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,

"mgbe m ga-eziga ndị ikom ọrụ ha bụ ịwụpụ ihe site n'ite,*
ha ga-awụpụkwa ya.
Ha ga-agbapụ ihe niile dị n'ite ya niile,
tụwakwaa ite ya niile.
13 Mgbe ahụ, ihere Kemosh ga-eme Moab,
dịka ihere si mee Izrel
mgbe ha tụkwasịrị Betel obi ha.

14 "Unu si aṅaa ekwu sị, 'Ndị dị ike n'agha ka anyị bụ;
anyị bụkwa dimkpa n'agha'?
15 A ga-ebibi ala Moab, busokwa obodo ya niile agha.
Ụmụ okorobịa ya niile ndị ahọrọ ahọ ga-ada n'ogbugbu† ahụ."
Otu a ka Eze ahụ kwubiri, onye aha ya bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile.
16 "Ọdịda Moab dị nso;
oke nhụju anya ya ga-abịakwa ọsịịsọ.
17 Kasịenụ‡ ya obi, unu ndị niile gbara ya gburugburu,
unu ndị niile maara na ọ bụ mba dị ukwuu.
Kwupụtanụ sị, 'Esi aṅa gbajie mkpanaka eze a, nke dị ike,
lee ka e si gbajiekwa mkpanaka a nke dị ebube!'

18 "Sitenụ n'ebe nsọpụrụ unu dị elu rịdata,
bịa nọdụnụ n'ala kpọrọ nkụ,
unu ndị bi n'obodo bụ Ada Dibọn.
N'ihi na onye ahụ bibiri Moab
ga-abịa ibu agha megide unu,
ọ ga-alakwa obodo unu niile e wusiri ike n'iyi.
19 Guzonụ n'akụkụ ụzọ, hụrụ§ ihe na-eme,
unu ndị bi n'ime Aroea.
Jụọnụ nwoke unu hụrụ na-agba ọsọ, na nwanyị nke na-ewezuga onwe ya ajụjụ
sị ha, 'Gịnị mere?'
20 E meela ka ihere mee Moab, n'ihi na a tụpịala ya.
Kwasienụ akwa ike, tiekwanụ mkpu akwa.
Kwupụta ya n'Anọn
na e bibiela Moab.
21 Oge a ga-ekpe ndị bi n'ala dị larịị ikpe abịala,
bụ ndị bi na Họlọn, Jahaz na Mefaat,
22 Dibọn, Nebo na Bet-Diblataim,
23 Kiriatem, Bet-Gamul na Bet-Meon,
24 Keriọt na Bozra,
na obodo niile dị n'ala Moab, ndị dị nso, na ndị nke dị anya.
25 E bipụla mpi* Moab,
a gbajiekwala ogwe aka ya,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

26 "Meenụ ya ka ọ ṅụbiga mmanya oke,
n'ihi na o nupuru isi megide ONYENWE ANYỊ.
Moab ga-atụrụ onwe ya n'ihe ọ gbọrọ.
Ọ ga-aghọkwa ihe ọchị.

* **48:12** 48:12 Ịwụgharị ihe site n'otu ite wụbanye ya n'ọzọ † **48:15** 48:15 Ya bụ, n'agha ahụ ‡ **48:17** 48:17 Maọbụ, ruo ụjụ maka ya § **48:19** 48:19 Ya bụ, Lee * **48:25** 48:25 Ya bụ, ike

27 Izrel ọ bụghị ihe ọchị nye gị?
Ọ bụ n’etiti ndị na-ezu ohi ka e jidere ya,
mere i ji na-efufere ya isi
mgbe ọbụla ị na-ekwu okwu banyere ya?
28 Sitenụ n’obodo unu niile gbapụ ọsọ; jeenụ biri n’etiti nkume,
unu ndị bi n’ala Moab.
Dịrịnụ ka nduru nke na-ewu akwụ ya
n’akụkụ ọnụ ọgba nkume.

29 “Anyị anụla ihe banyere mpako Moab.
Anyị anụla na mpako ahụ dị ukwuu,
nụkwa ihe banyere oke mbuli elu nke ọ na-ebuli onwe ya,
na oke nganga nke obi ya.
30 Amaara m ihe banyere mmụọ nke akpọghị onye ọzọ ihe ọbụla, nke dị n’ime ya,
ma ọ gaghị abara ya uru ọbụla.
Ịnya isi ya agaghị arụpụtakwa ihe ọbụla, otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
31 N’ihi ya, aga m akwasị akwa ike n’ihi Moab,
aga m eti mkpu akwa n’ihi ala Moab niile.
Aga m asụ ude akwa n’ihi ndị Kia Hareset.
32 Akwa nke karịrị akwa Jeza ka m ga-akwa n’ihi gị,
gị osisi vaịnị dị na Sibma.
Alaka gị gbasara ruo n’akụkụ osimiri,
e, ha gbasara ruo n’osimiri Jeza.
Ma onye mbibi abịakwasịla mkpụrụ gị niile chara acha,
e, ọ bịakwasịla mkpụrụ vaịnị gị niile.
33 Ọṅụ na obi ụtọ ka e wepụrụ
site n’ubi vaịnị niile, na n’ala ubi niile nke Moab.
E meela ka mmanya vaịnị kwụsị ịgbapụtakwa site n’ebe ịzọcha mmanya.
Ọ dịkwaghị onye na-eji mkpu ọṅụ na-azọcha ha,
Ọ bụ ezie na a na-anụ olu iti mkpu,
ma ọ bụghị olu iti mkpu ọṅụ.

34 “A na-anụ ụda iti mkpu akwa ha
site n’obodo Heshbọn ruo Eleale, na Jehaz.
A na-anụkwa ya site na Zoa ruo, ọ bụladị obodo ndị dị anya, dịka Horonaim, na Eglat Shelishiya.
N’ihi na mmiri niile nke Nimrim ataala.
35 Aga m eme ka ndị ahụ niile na-achụ aja n’ebe niile dị elu,
na ndị ahụ niile na-achụrụ chi ha dị iche iche aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ,
hapụ ịdịkwa n’ala Moab,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
36 “Ụda akwa nke na-ada n’ime obi m n’ihi Moab dịka ụda ọja.
Ụda akwa nke dịkwa ka ụda ọja na-adakwa n’ime obi m n’ihi ndị Kia Hareset.
Akụ niile ha kpakọtara alaala n’iyi.
37 A kpụchapụla agịrị isi niile,
kpachakwa afụọnụ ha niile.
E bipụkwala aka ha niile.
Ọ bụkwa akwa mkpe ka e ji kpuchie ukwu niile.
38 N’elu ụlọ niile nke dị na Moab,
nakwa n’ama egwuregwu niile,
ọ dịghị ihe ọzọ karịa naanị iru ụjụ ka a na-ahụ.
N’ihi na e tiwaala m Moab

dịka e si etiwa ite aja nke ọ dịghị onye bụla chọrọ ya,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
39 “Lee ka e si tipịa ya! Lee ka ha si akwasị akwa ike!
Leekwa ka Moab si gbakụta azụ ya n’ihi ọnọdụ ihere ya!
Moab aghọọla ihe ọchị,
ọ ghọọla ihe iju anya nye ndị niile gbara ya gburugburu.”
40 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“Lee, ọ dị otu ugo na-efedata,
nke gbasapụrụ nku ya kpuchie ala Moab niile.
41 A ga-adọta Keriọt n’agha,
meriekwa ebe ya niile e wusiri ike.
N’ụbọchị ahụ, obi ndị bụ dike n’agha n’ala Moab
ga-adị ka obi nwanyị ime na-eme.
42 A ga-ebibi obodo Moab, mee ya ka ọ ghara ịdịkwa,
n’ihi na ọ kagidere ONYENWE ANYỊ anya.
43 Oke egwu na olulu, na igbudu nke onye na-esi ọnya nọ na-eche unu,
unu ndị Moab,”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
44 “N’oge ahụ, onye ọbụla gbapụrụ ọsọ site n’ihe oke egwu
ga-adaba n’olulu.
Onye ọbụla ga-esikwa n’olulu rịpụta
ka igbudu ga-ejide.
N’ihi na aga m eme ka afọ ahụ a kara aka
maka ịta Moab ahụhụ bịakwasị ya,”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

45 “N’okpuru ndo Heshbọn
ka ndị ahụ gbapụrụ ọsọ ndụ guzoro, na-enweghị onye inyeaka.
N’ihi na ọkụ esitela na Heshbọn rere na-aga;
ire ọkụ dị ukwuu esitela n’etiti Saịhọn na-apụ,
na-erepịa egedege ihu ndị Moab,
na okpokoro† isi ndị ahụ ji oke ụzụ‡ na-anya isi.
46 Ahụhụ dịrị gị, gị Moab!
Ebibiela ndị Kemosh niile.
A dọtakwala ụmụ gị ndị ikom
na ụmụ gị ndị inyom n’agha, buru ha gaa mba ọzọ.

47 “Ma emesịa, n’ụbọchị ndị ahụ na-abịa,
aga m eme ka ndị Moab a dọtara n’agha lọghachi.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
Nke a bụ ọgwụgwụ ikpe ọmụma dịrị Moab.

# 49

*Ozi e ziri banyere Amọn*
1 Nke a dịrị ndị Amọn:

Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“Ọ bụ na Izrel enweghị ụmụ ndị ikom?

† **48:45** 48:45 Maọbụ, opu isi ‡ **48:45** 48:45 Maọbụ, mkpọtụ

Izrel o nweghị onye nnweta ihe o nwere?
Gịnị mere Molek ji nweta obodo Gad?
Gịnị mere ndị ya ji bichie obodo ya niile?
2 Ma ụbọchị ahụ na-abịa,” ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
“mgbe m ga-eme ka a nụ ụda iti mkpu agha,
nke a ga-eti megide Raba, obodo ndị Amọn.
A ga-eme ya ka ọ ghọọ mkputamkpu ebe.
A ga-esurekwa ya ọkụ, ya na obodo nta niile gbara ya gburugburu.
Mgbe ahụ Izrel ga-achụpụkwa
ndị ahụ niile chụpụrụ ya.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru.
3 “Kpọọ mkpu akwa, gị Heshbọn, n’ihi na ebibiela Ai!
Tisienụ mkpu akwa ike unu ndị bi na Raba!
Yirinụ uwe mkpe unu, tiekwanụ aka n’obi n’ihi iru ụjụ;
gbagharịanụ n’ogige mgbidi obodo unu,
n’ihi na a ga-adọta Molek n’agha,
buru ya na ndị nchụaja ya na ndịisi ọchịchị ya gaa mba ọzọ.
4 Gịnị mere unu ji anya isi n’ihi ndagwurugwu
nke na-amị mkpụrụ hiri nne,
gị ada nwanyị na-ekwesighị ntụkwasị obi,
onye ntụkwasị obi ya dị n’akụnụba ya,
gị onye na-asị, ‘Onye ga-ebuso m agha?’
5 Aga m esite n’aka ndị niile gbara gị gburugburu
mee ka oke egwu bịakwasị gị,”
otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwupụtara ya,
“A ga-achụpụ onye ọbụla n’ime unu.
Ọ dịkwaghị onye ga-achịkọta ndị ahụ niile gbapụrụ agbapụ.

6 “Ma mgbe e mesịrị, aga m emekwa ka ndị Amọn laghachikwa n’ala ha.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

### *Ozi e ziri banyere Edọm*

7 Nke dịrị Edọm:

Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru,
“Ọ pụtara na onye amamihe adịghịkwa na Teman?
Okwu ndụmọdụ ọ gwụla n’ọnụ ndị nwere nghọta?
Amamihe ha o reela ure?
8 Chigharịanụ gbalaga, unu ndị bi na Dedan.
Gaa zoonụ onwe unu n’ọgba nkume miri emi,
n’ihi na aga m eme ka ihe ọjọọ bịakwasị Ịsọ,
n’oge ahụ m ga-ata ya ahụhụ.
9 Ọ bụrụ na ndị na-aghọrọ mkpụrụ vaịnị abịakwute gị,
ọ bụ na ha agaghị ahapụrụ gị mkpụrụ ole na ole?
Ọ bụrụkwa na ndị ohi abịa n’abalị,
ọ bụghị naanị ihe ha chọrọ ka ha ga-akwakọrọ?
10 Ma aga m agba Ịsọ ọtọ.*
Aga m ekpughe ebe nzuzo ya niile
ka ọ ghara izobe onwe ya.

* **49:10** 49:10 Agaghị ahapụrụ ya ihe ọbụla

Ụmụ ya na ndị ikwu ya,†
tinyere ndị ya na ha dị na mma na ndị agbataobi ya, ga-ala n’iyi.
Ya mere, ọ dịghịkwa onye ga-asị,
11 ‘Hapụnụ ụmụ mgbei unu niile, n’ihi na mụ onwe m ga-edebe ha ndụ.
Ndị inyom unu niile ndị di ha nwụrụ nwere ike ịtụkwasị m obi.’ ”
12 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, “Ọ bụrụ na e mere ka ndị ahụ na-ekwesighị
ịṅụ ihe dị n’iko ahụ ṅụọ ya, a ga-esi aṅaa ghara ịta gị ahụhụ? A ghaghị ịta gị ahụhụ;
ị ghakwaghị ịṅụ site n’iko ahụ.” 13 “Eji m onwe m ṅụọ iyi, otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwupụtara, sị, na Bozra ga-aghọ mkpọmkpọ ebe, na ihe iju anya, na ihe ịta ụta, na
ihe ịbụ ọnụ. Obodo ya niile ga-aghọkwa mkpọmkpọ ebe ruo mgbe ebighị ebi.”
14 Anụla m ozi si n’ọnụ ONYENWE ANYỊ.
E zipụla onyeozi ka ọ ga mba niile dị iche iche zie ha ozi, sị,
“Chịkọtaanụ onwe, megide ya.
Bilikwanụ maka ibu agha!”

15 Ugbu a, aga m eme ka ị dị nta n’etiti mba dị iche iche,
ihe nleli na-ebe mmadụ nọ.
16 Ịdị egwu gị nke na-eyinye ndị mmadụ egwu,
na nganga nke obi gị eduhiela gị,
gị onye na-ebi na mgbawa niile nke nkume dị elu,
gị onye ji ebe niile dị elu nke ugwu n’aka ya.
A sịkwarị na i wuo akwụ gị n’ebe dị elu, dịka ebe ugo ga-ewu akwụ ya,
aga m esite n’ebe ahụ kpụdata gị n’ala,
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
17 “Edọm ga-aghọ ihe iju anya.
Ndị niile na-esi n’akụkụ ya agafe ga-anọ n’ọnọdụ iju anya,
ha ga-eledakwa ya anya n’ihi ọnya ya niile.
18 Dịka a kwaturu Sọdọm na Gọmọra,
ya na obodo niile gbara ya gburugburu.
Otu a kwa, ọ dịghị onye ọbụla ga-ebi n’ebe ahụ;
nwa mmadụ ọbụla agakwaghị ebi n’ime ya,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru.

19 “Aga m esi n’ala ya chụpụ Edọm n’otu ntabi anya,
dịka mgbe ọdụm na-esi n’oke ọhịa Jọdan
na-arịgopụta n’ebe ịta nri nke ụmụ anụmanụ jupụtara n’ahịhịa ndụ.
Ma onye bụ onye ahụ a họpụtara, onye m ga-enyefe ọrụ a n’aka ya?
Onye dịka m? Onye kwa pụrụ ịpụta tụọ m aka n’ihu?
Onye bụkwa onye ọzụzụ atụrụ ahụ nke pụrụ ido onwe ya megide m?”

20 N’ihi nke a, nụrụ ihe ONYENWE ANYỊ kwadobere megide Edọm,
nụrụkwa ihe o zubere megide ndị bi na Teman.
A ga-adọkpụrụ ndị dị nta n’etiti igwe ewu na atụrụ ahụ,
ebe ịta nri ha ga-anọ n’ọnọdụ mgbagwoju anya n’ihi nke a.
21 Ụwa ga-ama jijiji mgbe ha nụrụ mkpọtụ ọdịda ha;
iti mkpu akwa ha ga-adakwa ụda ruo n’Osimiri Uhie.
22 Lee, otu ugo ga-efeli elu, fedatakwa.
Ọ ga-agbasapụ nku ya kpuchie ala Bozra niile.
N’ụbọchị ahụ, obi ndị bu dike n’agha n’Edọm
ga-adị ka obi nwanyị ime na-eme.

† **49:10** 49:10 Maọbụ, ndị ikom ya ji ngwa agha

### *Ozi e ziri banyere Damaskọs*

23 Nke dịrị Damaskọs:
"Ụjọ ejula Hamat na Apad obi,
n'ihi na ha anụla akụkọ ọjọọ.
Ha adaala mba,
nọọkwa n'oke echiche dịka osimiri nke ebili na-amagharị n'elu ya.
24 Damaskọs aghọọla onye ike gwụrụ.
Ọ tụgharịala ịgbapụ ọsọ,
ma ọma jijiji ejidela ya.
Oke obi ụfụ na ihe mgbu ejidesiela ya aka ike,
dịka obi ụfụ na ihe mgbu nke na-ejide nwanyị ime na-eme.
25 Gịnị mere na-agbahapụbeghị obodo ahụ a maara aha ya,
bụ obodo ahụ nke ihe ya na-atọ obi m ụtọ?
26 N'ezie, ụmụ okorobịa nọ n'ime ya ga-ada n'okporoụzọ niile,
a ga-emekwa ka ndị agha ya niile dere duu n'ụbọchị ahụ."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri.
27 "Aga m esunye mgbidi Damaskọs ọkụ.
Ọkụ ahụ ga-eripịakwa ebe e wusiri ike nke Ben-Hadad."

### *Ozi e ziri banyere Keda na Hazọ*

28 Banyere Keda na alaeze Hazọ, nke Nebukadneza eze Babilọn busoro agha:

Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
"Bilienụ gaa buso Keda agha.
Bibiekwanụ ndị ahụ niile bi n'akụkụ ọwụwa anyanwụ.
29 A ga-adọta ụlọ ikwu ha, na igwe ewu na atụrụ ha n'agha.
A ga-ebukọrọkwa ụlọ mgbochi ha niile,
ya na ngwongwo na ịnyịnya kamel ha niile.
Ndị mmadụ ga-etikwa mkpu sị ha,
'Oke egwu dị n'akụkụ niile!'

30 "Gbalaganụ ọsịịsọ.
Jeenụ nọdụ n'ime ọgba nkume niile miri emi, unu ndị niile bi na Hazọ,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
Nebukadneza eze Babilọn atụọla atụmatụ megide unu,
o chepụtakwala ụzọ ọ ga-esi megide unu.

31 "Bilienụ, gaa buso mba ahụ agha,
bụ mba ahụ na-ebi na ntụkwasị obi,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
"mba nke na-enweghị ibo ọnụ ụzọ, maọbụ mkpọrọ e ji akpọchi ya,
mba ahụ nke ndị ya na-ebiri naanị onwe ha.
32 Ịnyịnya kamel ha ga-abụ ihe a ga-akwata n'agha,
ọtụtụ igwe ehi ha ga-abụkwa ihe a ga-alụta n'agha.
Aga m efesa ha nye ifufe, bụ ndị niile nọ ebe dị anya, bụ ndị ahụ niile na-akpụchapụ agịrị isi egedege ihu ha.
Aga m emekwa ka ihe ọjọọ si n'akụkụ niile bịakwasị ha,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
33 "Mgbe ahụ, Hazọ ga-aghọ ebe obibi nke nkịta ọhịa.
Ọ ga-aghọ ebe tọgbọrọ n'efu ruo mgbe ebighị ebi.
O nweghị onye ọbụla ga-ebi n'ebe ahụ,

nwa mmadụ ọbụla agakwaghị ebi n'ime ya."

*Ozi banyere Ilam*

34 Nke a bụ okwu ONYENWE ANYỊ ndị ruru Jeremaya onye amụma ntị banyere Elam,
mgbe Zedekaya eze Juda bidoro ọchịchị ya.

35 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru,
"Lee, aga m agbaji ụta nke Elam,
bụ ụta ahụ ha ji anya isi na ọ bụ ebe ike ha dị.
36 Aga m esite n'akụkụ anọ nke mbara eluigwe zite oke ifufe anọ,
nke ga-abịa megide Elam.
Aga m efesa ha nye oke ifufe anọ ndị a,
ndị ga-ebufu ha buga ha na mba niile dị iche iche,
ọ dịghị obodo a na-agaghị ahụ ndị Ilam a dọtara n'agha.
37 Aga m etipịa Elam n'ihu ndị iro ha,
e, n'ihu ndị ahụ na-achọsi ndụ ya ike.
Aga m eme ka ihe ọjọọ bịakwasị ha,
meekwa ka oke iwe m dị ọkụ bịakwasị ha,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
"Aga m eji mma agha chụọ ha ọsọ
tutu ruo mgbe m mere ka ha niile gwụsịa.
38 Aga m edo ocheeze m n'Elam,
bibiekwa eze ya na ndịisi ọchịchị ya,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

39 "Ma n'ikpeazụ, n'ụbọchị ndị ahụ na-abịa,
aga m eweghachite akụnụba niile nke Elam."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

# 50

*Ozi e ziri banyere Babilọn*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ nke ruru Jeremaya onye amụma ntị banyere Babilọn na
banyere ala ndị Babilọn.
2 "Kwusaa ya na mba niile, mee ka a nụrụ ya;
bulie ọkọlọtọ mgbe a na-ekwusa ya.
Kwupụta ihe niile, ezokwala ihe ọbụla, kama kwusaa ya sị,
'A ga-adọta Babilọn n'agha.
Ihere ga-emesịa mee Bel;
otu a kwa, egwu ga-ejupụta Maduk obi.
A ga-eme ka ihere mee oyiyi ya niile a kpụrụ akpụ;
oke egwu ga-ejidekwa arụsị ya niile.'
3 Otu mba, nke si n'akụkụ ugwu, ga-ebuso ya agha,
mee ala ya ka ọ tọgbọrọ n'efu.
Ọ dịkwaghị onye ga-ebi n'ime ya,
n'ihi na mmadụ na anụmanụ ga-esi n'ime ya gbalaga.

4 "N'ụbọchị ndị ahụ, ma na mgbe ahụ," otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
ndị Izrel na ndị Juda ga-ejikọta onwe ha n'otu.
Ha niile ga-eji anya mmiri pụọ ịchọ ONYENWE ANYỊ Chineke ha.
5 Ha ga-ajụ ajụjụ, banyere ụzọ e si eje Zayọn.
Mgbe ahụ, ha ga-eche ihu ha ijeru n'ebe ahụ.

Ha niile ga-abịakwa were onwe ha nyefee* n'aka ONYENWE ANYỊ,
n'ime ọgbụgba ndụ ebighị ebi,
nke a na-agaghị echefu echefu.

6 "Ndị m akpafuola dịka atụrụ furu efu.
Ndị ọzụzụ atụrụ ha eduhiela ha,
mee ka ha na-awagharị n'ugwu ukwu niile.
Ha na-akpagharị n'elu ugwu ukwu, ma n'elu ugwu nta.
Ha echefuokwala ebe izuike nke ha.
7 N'ihi ya, ndị niile chọtara ha na-eripịa ha.
Ndị iro ha na-ekwukwa sị, 'Ikpe amaghị anyị
n'ihi na ha emehiela megide ONYENWE ANYỊ, onye bụ ezi ebe ịta nri ha,
na onye bụkwa olileanya nke nna nna ha.'

8 "Sinụ na Babilọn gbalaga;
sitekwanụ n'ala Babilọn pụọ,
dịrịnụ ka mkpi na-edu igwe ewu na atụrụ.
9 N'ihi na aga m akpali ọtụtụ mba dị ike site n'ala dị n'ugwu,
ndị ga-ejikọta onwe ha ibuso Babilọn agha.
Ha ga-edo onwe ha n'usoro imegide ya;
ọ bụkwa n'akụkụ ugwu ka ha ga-esi dọta ya n'agha.
Àkụ ha ga-agba ga-adị ka àkụ nke onye bụ dike n'agha na onye ọka ịgba ụta na-agba.
Ha agaghị agba aka lọta.
10 N'ihi nke a, Babilọn ga-aghọ ihe nkwata n'agha.
Afọ ga-ejukwa ndị niile bụ ndị ga-akwata ya."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

11 "N'ihi na ị ṅụrịrị ọṅụ nwee obi ụtọ,
gị onye bibiri ihe nketa m,
ị wugharịrị dịka nwa ehi nke na-azọcha ọka,
bee akwa dịka oke ịnyịnya.
12 Ihere ga-eme nne unu,
e, a ga-eme ka oke ihere mee nne mụrụ unu.
Ọ ga-abụkwa mba dịkarịsịrị ala n'etiti mba niile,
bụrụkwa ọzara, ala kpọrọ nkụ na ala uzuzu.
13 N'ihi iwe dị ukwuu nke ONYENWE ANYỊ, ọ dịghị onye ga-ebikwa n'ala Babilọn ọzọ,
n'ihi na a ga-ebibi ya kpamkpam.
Ndị niile si n'akụkụ ya na-agafe ka ọ ga-eju anya.
Ha ga-akparị ya n'ihi ọnya niile dị ya n'ahụ.

14 "Doonụ onwe unu n'usoro gburugburu obodo Babilọn,
unu ndị niile na-agba ụta.
Gbaanụ ya ụta. Unu echela banyere àkụ ole unu ga-agbapụ
n'ihi na o mehiela megide ONYENWE ANYỊ.
15 Kpọọnụ mkpu agha megide ya, site n'akụkụ niile!
Ọ chiliela aka ya elu. Lee, ụlọ elu ya e wusiri ike adaala,
a kwatuokwala mgbidi ya niile.
Ebe ọ bụ na ONYENWE ANYỊ na-abọrọ onwe ya ọbọ n'ahụ Babilọn,
bọọnụ ya ọbọ.

* **50:5** 50:5 Rapara n'ahụ Onyenwe anyị

Meenụ ya dịka o si mee ndị ọzọ.
16 Site na Babilọn wezuga onye na-agha mkpụrụ
na onye ji mma owuwe ihe ubi na-ewe ihe ubi.
Ka onye ọbụla laghachikwuru ndị nke ya,
ka onye ọbụla gbalaakwa n’ala nke aka ya,
n’ihi mma agha nke onye na-emegbu emegbu.

17 “Izrel dị ka ewu na atụrụ a chụsasịrị achụsasị,
nke ọdụm chụsasịrị.
Onye bu ụzọ ripịa ya
bụ eze Asịrịa.
Onye ikpeazụ gwepịara ọkpụkpụ ya
bụ Nebukadneza, eze Babilọn.”
18 N’ihi ya, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel
kwuru,
“Aga m ata eze Babilọn, na ndị ala ya ahụhụ,
dịka m si taa eze Asịrịa ahụhụ.
19 Ma aga m akpọghachitekwa Izrel n’ebe ịta nri nke ha.
Ha ga-atakwa nri na Kamel na Bashan.
Ọ bụkwa n’ugwu Ifrem na Gilead
ka afọ ga-ejukwa ha.
20 N’ụbọchị ndị ahụ, ma na mgbe ahụ,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri,
“a ga-achọ ajọọ omume nke Izrel,
ma ọ dịghị nke a ga-achọta.
A ga-achọkwa mmehie niile nke Juda,
ma o nweghị nke a ga-achọta,
n’ihi na aga m agbaghara ndị ahụ m mere ka ha fọdụ mmehie ha.

21 “Busonụ ala Merataim agha,
busokwanụ ndị bi na Pekod agha.
Chụọ ha ọsọ, gbuchapụ ma bibiekwa ha niile kpamkpam.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
“Mezuonụ ihe niile m nyere unu n’iwu.
22 A na-anụ ụzụ agha n’ala ahụ,
a na-anụ ụzụ oke mbibi.
23 Lee ka e si gbajie,
ma tipịa mkpirisi igwe ahụ na-esupịa ụwa niile.
Lee ka Babilọn si tọgbọrọ n’efu
n’etiti mba niile nke ụwa.
24 Esiiri m gị ọnya, gị Babilọn;
ị makwara n’ọnya ahụ tupu ị mata na ọnya ahụ dị.
A chọtala gị, jidekwa gị,
n’ihi na i doola onwe gị ibuso ONYENWE ANYỊ agha.
25 ONYENWE ANYỊ emegheela ụlọakụ ngwa agha ya,
site n’ime ya wepụta ngwa agha nke ọnụma ya.
N’ihi na Onyenwe anyị bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
nwere ọrụ ọ ga-arụ n’ala Babilọn.
26 Sitenụ n’ebe dị anya bịa buso ya agha.
Kụkapunụ ọba ya niile,
tụkọtanụ ha ọnụ dịka akpa ọka dị ukwuu, nke atụkọtara n’elu ibe ha.
Bibienụ ya kpamkpam,

ka ihe ọbụla ghakwara ịfọdụrụ ya.
27 Gbuonụ ụmụ oke ehi ya niile,
ka ha niile gaa n’ebe ụlọ igbu anụ
Ahụhụ na-adịrị ha, n’ihi na ụbọchị ahụ a kara aka banyere ha abịala,
bụ oge a ga-eji taa ha ahụhụ.
28 Geenụ ntị n’ihe ndị na-agbalaga na-ekwu, bụ ndị si na Babilọn na-agbapụ ọsọ.
Ha na-ekwusa na Zayọn
otu ONYENWE ANYỊ Chineke anyị si bọọ ọbọ,
otu o si abọ ọbọ n’ihi ụlọnsọ ukwu ya.

29 “Kpọkọtanụ ndị na-agba ụta maka imegide Babilọn,
bụ ndị niile na-agba ụta.
Maanụ ụlọ ikwu, gbaa ya gburugburu;
unu ekwela ka onye ọbụla si n’ime ya gbapụ.
Kwụghachi ya ụgwọ dịka ọrụ ya si dị,
dịka ihe niile ahụ o mere si dị meenụ ya otu ahụ.
N’ihi na o buliela onwe ya elu megide ONYENWE ANYỊ,
bụ Onye nsọ nke Izrel.
30 N’ihi ya, ụmụ okorobịa ya ga-ada n’okporoụzọ ama niile.
A ga-emekwa ka ndị agha ya niile dere duu n’ụbọchị ahụ.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
31 “Lee, edoola m onwe m imegide gị, gị onye nganga.”
Otu a ka Onyenwe anyị, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri ya.
“N’ihi na ụbọchị gị abịala,
bụ oge ahụ a ga-ata gị ahụhụ.
32 Onye nganga ahụ ga-asọ ngọngọ daa,
ma o nweghị onye ga-enyere ya aka ka o bilitekwa.
Aga m esunye obodo ya niile ọkụ,
nke ga-erechapụ ndị niile gbara ya gburugburu.”
33 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru:
“A na-emegbu nnọọ ndị Izrel,
n’otu aka ahụkwa, ndị Juda.
Ndị dọtara ha n’agha jidesiri ha aka ike.
Ha adịghị ahapụ ha ka ha laa.
34 Ma Onye mgbapụta ha dị ike.
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile bụkwa aha ya.
Ọ ga-eji ike ya niile kpepụta ọnụ ha,
ime ka ala ha nweekwa izuike,
ma meekwa ka ndị bi na Babilọn ghara inwe izuike.

35 “Mma agha ga-ebili megide ndị Babilọn niile,”
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
“na ndị ahụ niile bi na Babilọn
ma megidekwa ndịisi ọchịchị niile na ndị ahụ niile maara ihe.
36 Mma agha ga-ebili megide ndị amụma ụgha ha niile.
Ha ga-aghọ ndị nzuzu.
Mma agha ga-ebili megide ndị bụ dike n’agha.
Obi ha ga-ejupụtakwa n’oke egwu.
37 Mma agha ga-ebili megide ịnyịnya ha, na ụgbọ agha ha,
na ndị mba ọzọ niile nọ n’etiti ha.
Ha ga-aghọkwa ndị inyom.

Mma agha ga-ebilikwa megide akụ ha niile.
A ga-alụta ha niile n’agha.
38 Okpomọkụ ga-abịakwasị mmiri ha niile
mee ka ha taa.
N’ihi na ala ha bụ ala arụsị:
arụsị ha niile ga-ayịkwa ara n’ihi oke egwu nke ga-abịakwasị ha.

39 “N’ihi ya, ọ bụ ụmụ anụmanụ nke ọzara, na nkịta ọhịa ga-ebi n’ebe ahụ.
Ikwighịkwighị ga-ebikwa n’ebe ahụ.
Mmadụ ọbụla agaghị ebikwa n’ime ya ọzọ.
O nweghị onye ga-ebikwa n’ime ya site n’ọgbọ ruo n’ọgbọ.
40 Dịka m si kwatuo Sọdọm na Gọmọra,
ya na obodo niile gbara ya gburugburu,”
otu a ka Onyenwe anyị kwubiri ya.
“Otu a kwa, ọ dịghị onye ọbụla ga-ebi n’ebe ahụ;
nwa mmadụ ọbụla agakwaghị ebi n’ime ya.”

41 “Lee, ndị agha si n’ala dị n’ebe ugwu na-abịa;
mba dị ukwuu na ọtụtụ ndị eze
ka a na-akpọlitekwa site na nsọtụ niile nke ụwa.
42 Ha ji ọtụtụ ụta na ùbe;
ha bụ ndị afọ tara mmiri, ndị na-enweghị obi ebere.
Ha na-ebigbọ dịka mbigbọ nke osimiri,
dịka ha na-anọkwasị n’elu ịnyịnya ha.
Ha na-abịa dịka ndị ikom e doro n’usoro ibu agha,
ibuso gị agha, Ada Babilọn.
43 Eze Babilọn nụrụ akụkọ banyere ude ha,
akụkọ mere ka ike gwụrụ aka ya abụọ kpamkpam.
Oke ihe mgbu ejidela ya,
ihe mgbu dịka nke nwanyị ime na-eme.
44 Lee, dịka mgbe ọdụm na-esi n’oke ọhịa Jọdan
na-arịgopụta n’ebe ịta nri nke ụmụ anụmanụ jupụtara n’ahịhịa ndụ,
n’otu ntabi anya ka m ga-esi n’ala ya chụpụ Babilọn.
Ma onye bụ onye ahụ a họpụtara, onye m ga-enyefe ọrụ a n’aka?
Onye dịka m? Onye kwa pụrụ ịpụta tụọ m aka n’ihu?
Onye bụkwa onye ọzụzụ atụrụ ahụ nke pụrụ ido onwe ya megide m?”

45 N’ihi ya, nụrụ ihe Onyenwe anyị kwadobere megide Babilọn,
nụrụkwa ihe o zubere megide ala ndị Babilọn.
A ga-adọkpụrụ ndị dị nta n’etiti igwe ewu na atụrụ ahụ.
Ebe ịta nri ha ga-anọ n’ọnọdụ mgbagwoju anya n’ihi nke a.
46 Ụwa ga-ama jijiji mgbe ha nụrụ mkpọtụ ọdịda Babilọn,
iti mkpu akwa ya ga-adakwa ụda n’etiti mba niile dị iche iche.

## 51

1 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị kwuru,
“Lee, aga m akpali mmụọ onye mbibi,
ka ọ bịa megide Babilọn na ndị bi na Kaldịa.
2 Aga m eziga ndị mba ọzọ n’obodo Babilọn,
ka ha gaa fụchaa ya, bibiekwa ala ya.
Ha ga-emegide ya n’akụkụ niile,

n’ụbọchị ahụ ihe ọjọọ ga-abịakwasị ya.
3 Ekwela ka onye na-agba ụta kwee ụta ya,
ekwekwala ka o yikwasị uwe agha ya.
Enwekwala ọmịiko n’ebe ụmụ okorobịa ya nọ,
kama bibie usuu ndị agha ya kpamkpam.
4 Ha ga-ada, bụrụ ndị e gburu egbu n’ime Babilọn,
ha ga-abụ ndị e merụrụ oke ahụ n’okporoụzọ niile.
5 Ọ bụ ezie n’ala ha jupụtara n’ikpe ọmụma,
n’ihu Onye nsọ nke Izrel,
ma Chineke bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
agbakụtabeghị ndị Izrel na Juda azụ.

6 “Sinụ na Babilọn gbapụ ọsọ.
Gbasienụ ọsọ ike n’ihi ndụ unu.
Unu ekwela ka e bibie unu n’ihi mmehie ya.
Oge ịbọ ọbọ ONYENWE ANYỊ eruola,
ọ ga-akwụghachi ya ihe ruuru ya.
7 Babilọn dị ka iko ọlaedo n’aka ONYENWE ANYỊ.
O mere ka ụwa niile si n’iko ahụ ṅụbiga ihe ọṅụṅụ oke.
Mba niile nke ụwa ṅụrụ mmanya ya.
Ugbu a ha niile na-ayị ara.
8 Na mberede, Babilọn ga-ada, a ga-etipịakwa ya.
Kwasierenụ ya akwa ike.
Wetanụ ọgwụ tee ya,
ma eleghị anya ọnya ahụ ga-adị ya mma.

9 “ ‘Anyị gaara agwọ Babilọn,
ma ọrịa ji ya enweghị ngwọta.
Ka anyị hapụnụ ya; ka anyị niile n’otu n’otu laghachi n’obodo nke aka anyị,
n’ihi na ikpe ọmụma dịrị ya eruola mbara eluigwe.
Ọ na-arịgokwa ruo n’igwe ojii.’

10 “ ‘ONYENWE ANYỊ emeela ka ezi omume anyị pụta ìhè.
Ka anyị kwupụta
ihe ONYENWE ANYỊ Chineke anyị mere na Zayọn.’

11 “Mụọnụ ọnụ àkụ unu;
bulienụ ọta unu!
ONYENWE ANYỊ akwaliela ndị eze ndị Midia,
n’ihi na nzube ya bụ ịla Babilọn n’iyi.
ONYENWE ANYỊ ga-abọrọ onwe ya ọbọ,
ọ ga-abọtara ụlọnsọ ukwu ya ọbọ.
12 Bulienụ ọkọlọtọ n’ihi imegide mgbidi Babilọn.
Tinyekwanụ ndị agha ọzọ n’etiti ndị nche, ka ọnụọgụgụ ha hie nne
Kwadoonụ ndị ga na-elepụ anya.
Kwadoonụ ndị agha ga-ezo onwe ha,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ihe o zubere mezuo,
bụ ihe ahụ o kpebiri megide ndị Babilọn.
13 Unu bụ ndị bi n’akụkụ ọtụtụ mmiri,
ndị nwere akụnụba dị ukwuu,
ọgwụgwụ unu abịaruola.

Oge ahụ eruola mgbe e ji wezuga unu.
14 ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile ji onwe ya ṅụọ iyi, sị,
N'ezie, aga m eme ka ndị mmadụ ọnụọgụgụ ha ga-aha ka igurube jupụta n'ime gị.
Ha ga-etikwa mkpu ọṅụ megide gị.

15 "O sitere n'ike ya mee ụwa;
ọ tọrọ ntọala ụwa mee ka o guzosie ike site n'amamihe ya,
ọ jikwa nghọta ya setịpụ eluigwe niile.
16 Mgbe o bigbọrọ, mmiri niile nke dị n'eluigwe na-ebigbọkwa.
Ọ na-eme ka igwe ojii site na nsọtụ niile nke ụwa kwụlie.
Ọ na-ezipụ amụma mgbe mmiri na-ezo,
na-esitekwa n'ụlọ nkwakọba ihe ya na-ewepụta ifufe.

17 "Onye ọbụla bụ onye na-enweghị uche nke ihe ọmụma kọrọ.
Emeela ka ihere mee onye ọkpụ ụzụ ọlaedo ọbụla site n'arụsị ọ kpụrụ.
N'ihi na oyiyi niile ọ na-akpụ bụ aghụghọ;
ha enweghị nkuume ọbụla n'ime ha.
18 Ha bụ ihe efu, na ihe ịkwa emo,
mgbe ikpe ọmụma ha bịakwasịrị ha, ha ga-ala n'iyi.
19 Ma onye ahụ bụ Oke Jekọb adịghị ka ihe ndị a,
n'ihi na Ọ bụ ya na-eke ihe niile,
tinyere Izrel bụ ebo nke ihe nketa ya.
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile bụ aha ya.

20 "Ị bụ mkpọrọ osisi m ji ebu agha,
na ngwa agha m ga-eji gaa n'ihu agha.
Gị ka m ga-eji tipịa mba niile dị iche iche,
gị ka m ga-eji laa alaeze niile n'iyi;
21 gị ka m ga-eji tipịa ịnyịnya na onye na-agba ya,
gị ka m ga-eji tipịa ụgbọ agha na onye na-anya ya;
22 gị ka m ga-eji tipịa nwoke na nwanyị,
gị ka m ga-eji tipịa agadi nwoke na okorobịa,
gị ka m ga-eji tipịa okorobịa na nwaagbọghọ,
23 gị ka m ga-eji tipịa onye ọzụzụ atụrụ na igwe ewu na atụrụ ya,
gị ka m ga-eji tipịa onye ọrụ ubi na ehi ya;
gị ka m ga-ejikwa tipịa ndị na-achị achị na ndịisi ọchịchị eze.
24 "N'ihu gị ka m ga-anọ kwụghachi Babilọn na ndị niile bi na Babilọn ihe ọjọọ
niile ha mere na Zayọn," ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwubiri.
25 "Edoola m onwe m imegide gị, gị ugwu ukwu na-emebisi ihe,
gị onye na-ala ụwa niile n'iyi."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
"Aga m esetipụ aka m megide gị,
kwapụ gị site na nkume dị elu.
Aga m emekwa gị ka ị bụrụ ugwu ukwu e suru ọkụ.
26 A gaghị esite n'ime gị weta nkume e ji ewu isi nkuku ụlọ,
maọbụ nke e ji ewu ntọala ụlọ ọbụla,
n'ihi na ị ga-abụ ebe tọgbọrọ n'efu ruo mgbe ebighị ebi," otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

27 “Bulienụ ọkọlọtọ elu n’ala ahụ.
Fụọnụ opi ike n’etiti mba niile.
Kwadoonụ mba niile maka ibu agha megide ya;
kpọkuonụ alaeze ndị a niile imegide ya:
Ararat, na Mini, na Ashkenaz.
Họpụtanụ ọchịagha ga-edu usuu ndị agha megide ya;
ziganụ ịnyịnya ga-adị ukwuu n’ọnụọgụgụ, dịka igurube.
28 Kwadoonụ mba niile maka ibu agha megide ha,
kwadoonụ ndị eze Midia,
na ndị ha na-achị achị, na ndịisi ọchịchị,
na mba niile nke ha na-achị.
29 Ala ahụ na-ama jijiji, na-atakwa ikikere eze nke ihe mgbu,
n’ihi na nzube ONYENWE ANYỊ zubere megide Babilọn ga-emezu.
Ọ ga-eme ka ala Babilọn ghọọ ebe tọgbọrọ n’efu,
ka mmadụ ọbụla gharakwa ibi n’ime ya.
30 Ndị bụ dike n’agha na Babilọn akwụsịla ịlụ ọgụ;
ha anọgidela n’ebe ha e wusiri ike.
Ike agwụla ha;
ha adịla ka ndị inyom.
E sunyela ebe obibi ya niile ọkụ,
tijiekwa mkpọrọ e ji akpọchi ọnụ ụzọ ama ya niile.
31 Otu onye na-agba ọsọ na-agbaso ọgba ọsọ ibe ya,
otu onyeozi na-esochikwa onyeozi ọzọ n’azụ;
ha niile na-abịa izi eze Babilọn ozi sị ya
na a dọtala obodo ya n’agha,
32 na ndị iro anọchiela ụzọ e si agafe iyi,
na e sunyela ala mmiri mmiri niile ọkụ,
na ndị agha niile na-amakwa jijiji.”
33 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke Izrel kwuru,
“Ada Babilọn dịka ebe ịzọcha ọka,
n’oge a na-azọcha ya.
Mgbe a ga-ewe ya dịka e si ewe ihe ubi na-abịa nso.”

34 “Nebukadneza eze Babilọn eripịala anyị,
o tinyela anyị n’ọnọdụ mgbagwoju anya.
O meela ka anyị dịrị ka ite ihe na-adịghị n’ime ya.
O lodara anyị dịka ọ bụ agwọ ọjọọ,
jiri ihe ụtọ anyị niile mejuo afọ ya.
Emesịa, ọ gbọpụtara anyị.
35 Ka ihe ike ahụ niile o mere anyị na ụmụ anyị dịkwasịkwa Babilọn n’isi.”
Ọ bụ ihe ndị bi na Zayọn kwuru.
Jerusalem na-ekwukwa sị,
“Ka ọbara anyị dịkwa n’isi ndị bi na Babilọn.”
36 N’ihi ya, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu,
“Lee, aga m ekwuchitere gị ọnụ gị,
bọtakwara gị ọbọ.
Aga m emekwa ka osimiri taa,
meekwa ka isi iyi mmiri niile taakwa.
37 Babilọn ga-aghọ mkpọmkpọ ebe,
ọ ga-aghọ ebe obibi nke nkịta ọhịa,
bụrụkwa ihe iju anya, na ihe nkọcha,

na ebe mmadụ ọbụla na-agaghị ebikwa.
38 Ndị ya niile na-agbọ ụja dịka ụmụ ọdụm,
ha na-emekwa ụzụ dịka ụmụ ọdụm na-aṅụ ara.
39 Ma n'oge ahụ a kpaliri ha,
aga m edo oriri n'ihu ha.
Aga m eme ka ha ṅụbiga mmanya oke,
si otu a mee ka ha jiri oke ịchị ọchị tie mkpu ọṅụ.
N'ikpeazụ, ha ga-arahụ ụra ebighị ebi, nke ha na-agaghị esite na ya bilie."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
40 "Aga m akpụdata ha,
dịka ụmụ atụrụ a na-aga igbu egbu,
dịka ebule na mkpi.

41 "Lee ka a ga-esi dọta Sheshak n'agha,
jichie ihe ụwa niile ji anya isi n'agha.
Lee ka Babilọn ga-esi ghọọ ihe tọgbọrọ n'efu
n'etiti mba niile!
42 Osimiri ga-eri Babilọn,
mmali elu nke mmiri ya ga-ekpuchi ya.
43 Obodo ya niile ga-atọgbọrọ n'efu,
ọ ga-abụ ebe kpọrọ nkụ, na ala ọzara,
ọ ga-aghọ ala onye ọbụla na-agaghị ebi n'ime ya,
nke mmadụ ọbụla na-agaghị esi n'etiti ya gafee.
44 Aga m ata Bel dị na Babilọn ahụhụ,
mee ya ka ọ gbọpụta ihe ndị ahụ o loro.
Mba dị iche iche agakwaghị agakwurukwa ya ọzọ.
Mgbidi Babilọn ga-adakwa.

45 "Sinụ n'ime ya pụta, unu ndị m!
Gbapụnụ ọsọ n'ihi ndụ unu.
Gbapụnụ ọsọ site n'iwe dị ọkụ nke ONYENWE ANYỊ.
46 Unu adala mba, unu atụkwala ụjọ,
mgbe unu nụrụ akụkọ dị iche iche n'ala ahụ.
N'ihi na otu ụdị akụkọ ka a ga-anụ n'afọ a, akụkọ ọzọ dị iche ka a ga-anụkwa n'afọ
nke ọzọ.
A ga-anụ akụkọ iwusi ọbara n'ala ahụ,
nụkwa akụkọ onye ọchịchị nke na-ebuso onye ọchịchị ọzọ agha.
47 N'ihi na oge ahụ aghaghị ịbịa
mgbe m ga-ata arụsị niile dị na Babilọn ahụhụ.
A ga-eme ka ihere mee ala ahụ niile.
Ndị ya niile e gburu egbu ga-ada, tọgbọrọkwa n'ime ya,
48 mgbe ahụ, eluigwe na ụwa, na ihe niile dị n'ime ha
ga-eti mkpu ọṅụ n'ihi ihe dakwasịrị Babilọn.
Ndị ga-ebuso ya agha
ga-esitekwa n'ugwu bịa."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

49 "Babilọn ga-ada n'ihi ndị Izrel e gburu,
dịka ndị niile e gburu n'ụwa
si daa site n'aka ndị Babilọn.
50 Unu ndị siterela n'ihu mma agha gbapụ ọsọ,

wezuganụ onwe unu, unu eguzokwala.
Chetanụ ONYENWE ANYỊ n'ala ahụ dị anya,
na-echetakwa Jerusalem."

51 "Ihere emeela anyị,
n'ihi na a kparịala anyị.
Ihere ekpuchiekwala ihu anyị,
n'ihi na ndị mba ọzọ abatala
n'ebe nsọ nke ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ."

52 "Ma ụbọchị ndị ahụ na-abịa," ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
"mgbe m ga-ata arụsị ya niile ahụhụ.
Ndị e merụrụ ahụ
ga-asụkwa ude n'ala ahụ niile.
53 A sịkwarị* na Babilọn a arịgoruo n'eluigwe,
ma a sịkwa na o wusie ebe dị elu nke ike ya mee ka o siwanyekwuo ike karịa,
aga m ezite ndị mbibi ga-abịa megide ya."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

54 "Ụzụ ịkwa akwa si na Babilọn na-apụta,
ụzụ oke ịla n'iyi
sikwa n'ala ndị Babilọn na-apụta.
55 ONYENWE ANYỊ ga-ala Babilọn n'iyi.
Ọ ga-emekwa ka oke ụzụ ha kwụsị.
Mbigbọ nke ndị iro ga-adịkwa ka mbigbọ nke ọtụtụ mmiri,
mkpọtụ nke olu ha ga-ada ụda dị ukwuu.
56 Onye mbibi ga-ebuso Babilọn agha.
A ga-adọta ndị bụ dike ya n'agha,
gbajisiekwa ụta ha niile.
N'ihi na ONYENWE ANYỊ bụ Chineke onye na-akwụghachi;
ọ ga-akwụghachikwa n'uju ya.
57 Aga m eme ka ndịisi ọchịchị ya niile, na ndị maara ihe ha ṅụbiga mmanya oke;
aga m emekwa ndị ha na-achị achị, na ndịisi ha, na ndị ha bụ dike n'agha otu ihe ahụ.
Ha ga-arahụ ụra ruo mgbe ebighị ebi. Ha agaghị esitekwa n'ụra ahụ bilie ọzọ."
Ọ bụ ihe Eze ahụ kwubiri, bụ onye ahụ aha ya bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile.
58 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru,
"A ga-akwada mgbidi Babilọn nke sara mbara, mee ka ọ daruo ala,
a ga-eji ọkụ sunye n'ọnụ ụzọ ama ya niile dị elu.
Ndị dị iche iche na-adọgbu onwe ha n'ọrụ n'efu.
Ndọgbu n'ọrụ nke mba niile dị iche iche ga-abụ nkụ a na-akwanye n'ọkụ."
59 Ndị a bụ ozi Jeremaya, bụ onye amụma ziri onyeisi ozi aha ya bụ Seraya nwa
Neraya, nwa Mahseia, mgbe o so Zedekaya eze Juda gaa Babilọn. E ziri ya ozi a
n'afọ nke anọ nke ọchịchị Zedekaya. 60 Jeremaya depụtara n'akwụkwọ ihe banyere
ihe ọjọọ ndị ahụ niile ga-abịakwasị Babilọn, ya bụ ihe niile e dere banyere Babilọn.
61 Ọ sịrị Seraya, "Mgbe i ruru Babilọn, lezie anya hụ na ị gụpụtara okwu ndị a niile
ebe ndị mmadụ ga-anụ ya. 62 Emesịa, ị ga-ekwukwa sị, 'ONYENWE ANYỊ, gị onwe gị
ekwuola na i ga-ebibi ebe a, ma mmadụ maọbụ anụmanụ agaghị ebikwa n'ime ya. I
kwuokwala na ọ ga-aghọ mkpọmkpọ ebe ruo mgbe ebighị ebi.' 63 Mgbe ị gụsịrị ihe

* **51:53** 51:53 Maọbụ, asịgodu

dị n’akwụkwọ a, kegide ya nkume, tụnye ya n’etiti iyi ukwu Yufretis. 64 Ị ga-asịkwa,
‘Otu a ka Babilọn ga-esi mikpuo. Ọ gaghị ebilikwa ọzọ, n’ihi ihe ọjọọ ahụ m ga-eme
ka ọ bịakwasị ya. Ndị ya ga-adakwa.’ ”
Ebe a ka okwu Jeremaya niile gwụrụ.

# 52

*Ndọta n’agha a dọtara Jerusalem*

1 Zedekaya gbara iri afọ abụọ na otu mgbe ọ malitere ịbụ eze. Ọ chịrị dị ka eze na
Jerusalem afọ iri na otu. Aha nne ya bụ Hamutal nwa Jeremaya, onye Libna. 2 O mere
ihe jọrọ njọ n’anya ONYENWE ANYỊ dịka Jehoiakim mere. 3 Ọ bụ n’ihi iwe ONYENWE
ANYỊ ka ihe ndị a niile ji bịakwasị Jerusalem na Juda. N’ikpeazụ, o sitere n’ihu ya
chụpụ ha.
N’oge a, Zedekaya nupuru isi n’okpuru eze Babilọn.
4 N’ihi ya, n’afọ nke itoolu, nke ọchịchị Zedekaya, n’ụbọchị nke iri n’ọnwa nke iri,
nke afọ ahụ, Nebukadneza, eze Babilọn, duuru usuu ndị agha ya niile bịa ibuso
Jerusalem agha. Ha mara ụlọ ikwu ndị agha n’azụ obodo ahụ, wuokwa mgbidi
nnọchibido gburugburu obodo ahụ. 5 Anọchibidoro obodo a n’agha ruo n’afọ nke
iri na otu nke ọchịchị eze Zedekaya.
6 N’abalị nke itoolu, nke ọnwa anọ n’afọ ahụ, oke ụnwụ siri ike dị n’obodo ahụ
ruo na ọ dịkwaghị nri dị nke ndị mmadụ ga-eri. 7 Mgbe ahụ, e tipuru oghere n’aja
mgbidi obodo ahụ, ndị agha niile ji abalị gbapụ site n’ọnụ ụzọ ama nke dị n’etiti
mgbidi abụọ n’akụkụ ubi eze a gbara ogige, n’agbanyeghị na ndị Babilọn* nọ obodo
ahụ gburugburu. Ha gbapụrụ chee ihu n’ụzọ Araba.† 8 Ma usuu ndị agha Babilọn‡
chụsoro Zedekaya bụ eze n’azụ, chụkwute ya na mbara ala Jeriko. Ndị agha ya niile
sitere n’ebe ọ nọ gbasasịa, hapụ ya, 9 e jide ya.
Ha kpụgara ya eze Babilọn, n’obodo Ribla, nke dị n’ala Hamat, ebe a nọ maa ya
ikpe. 10 Na Ribla ka eze Babilọn nọ gbuo ụmụ ndị ikom Zedekaya niile, n’ihu ya, o
gbukwara ndịisi ọchịchị Juda niile. 11 Ọ ghụpụrụ anya Zedekaya abụọ, jiri ụdọ bronz
kee ya agbụ, kpụrụ ya gaa Babilọn, ebe o tinyere ya n’ụlọ mkpọrọ tutu ruo ụbọchị
ọnwụ ya.
12 N’ụbọchị nke iri, n’ọnwa nke ise, nke afọ iri na itoolu, nke ọchịchị Nebukadneza
eze Babilọn, Nebuzaradan ọchịagha ndị nche eze, onye na-ejere eze Babilọn ozi,
bịarutere Jerusalem. 13 O sunyere ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ ọkụ, ụlọeze na ụlọ niile dị
na Jerusalem, ụlọ ọbụla bụ nke dị mkpa ka o surere ọkụ. 14 Usuu ndị agha Kaldịa
niile bụ ndị nọ n’okpuru onyeisi ndị nche eze ahụ, kwaturu mgbidi ahụ niile gbara
Jerusalem gburugburu. 15 Nebuzaradan, ọchịagha ndị nche eze, buru ụfọdụ n’ime
ndị dakarịsịrị n’ogbenye na ndị fọdụrụ n’ime obodo ahụ, ha na ndị ǹka niile fọdụrụ,
na ndị ahụ ji aka ha gbakwuru eze Babilọn, bulaa ha Babilọn, ka ha ga biri n’ala ọzọ.
16 Ma Nebuzaradan, hapụrụ ndị ahụ bụ nnọọ ndị ogbenye ọnụ ntụ,§ ka ha na-elekọta
ubi vaịnị niile a gbara ogige na ala ubi niile.
17 Ma ndị Babilọn tipịara ogidi bronz niile, ha na ihe ndọkwasị niile na Oke osimiri
bronz ndị ahụ dị n’ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ, buru bronz ahụ niile bulaa Babilọn. 18 Ha
chịkọọrọ ite niile, na shọvel niile na ihe ịkpakepụ ọkụ niile, na efere ịkwọsa mmiri
niile, na ngaji ukwu niile, na ihe bronz niile, bụ nke e ji eje ozi n’ime ụlọnsọ ahụ.
19 Ọchịagha ndị nche eze ahụ sikwa n’ụlọnsọ ahụ chịrị ihe ndị a: efere ukwu niile,
ihe ịgụnye ọkụ niile, efere ịkwọsa mmiri niile, ite niile, ihe ịdọkwasị orịọna niile,

* **52:7** 52:7 Maọbụ, Kaldịa † **52:7** 52:7 Ya bụ ndagwurugwu Jọdan ‡ **52:8** 52:8 Kaldịa dịkwa n’amaokwu
nke 14 na 17 § **52:16** 52:16 Ya bụ ndị dakarịsịrị n’ogbenye

ngaji ukwu niile na iko e ji enye onyinye ihe ọṅụṅụ, ya bụ ihe ndị ahụ niile e ji ọlaedo
a nụchara anụcha maọbụ ọlaọcha kpụọ.
20 O burukwara bronz sitere n’ogidi abụọ ahụ, oke Osimiri ahụ na ehi iri na abụọ e
ji bronz kpụọ, bụ nke dị n’okpuru ya, na ihe ndọkwasị ya niile, nke eze bụ Solomọn
mere n’ihi ụlọnsọ ONYENWE ANYỊ. Ha karịrị ihe a ga-eji ihe ọtụtụ tụọ. 21 Ị dị elu nke
otu n’ime ogidi abụọ ndị a bụ mita asatọ na ụma* n’ọtụtụ. Ị dị gburugburu ya bụkwa
mita ise na ụma anọ,† nke ọbụla n’ime ha bụ mkpịsịaka anọ. Oghere dịkwa n’ime
ha. 22 Isi bronz nke e kpụkwasịrị n’otu ogidi dị mita abụọ na ụma atọ‡ n’ịdị elu. Ọ
bụkwa ihe yiri mkpụrụ pomegranet e ji bronz kpaa, ka e ji chọọ ya mma gburugburu
ya niile. Ogidi nke abụọ nwekwara pomegranet, yiri ibe ya. 23 Pomegranet ndị ahụ
dị iri itoolu na isii, ọ bụkwa n’akụkụ ọbụla ka ọ dị. Ọnụọgụgụ pomegranet niile dị
n’elu ihe ahụ a kpụrụ akpụ dị otu narị.
24 Ọchịagha ndị nche eze ahụ, kpụụrụ Seraya, onyeisi nchụaja, na Zefanaya, bụ
onye nchụaja na-esote ya n’ọkwa, na ndị nche atọ na-eche ọnụ ụzọ mbata dịka ndị
mkpọrọ. 25 O sitere n’etiti ndị ahụ fọdụrụ n’obodo kpụụrụ otu onyeisi na-ahụ maka
ndị agha, na ndị ikom asaa na-enye eze ndụmọdụ. O kpukwaara ode akwụkwọ, onye
isi ọrụ na-ahụ maka ịmanye ndị ga-aga agha, jidekwa iri ndị ikom isii bụ ndị a hụrụ
n’ime obodo ahụ. 26 Nebuzaradan, bụ ọchịagha kpụụrụ ha niile, dute ha n’ihu eze
Babilọn na Ribla. 27 N’ebe ahụ na Ribla, dị n’obodo Hamat, ka eze nọ nye iwu ka e
gbuo ha niile.
Ya mere, a dọọrọ Juda n’agha, mee ka ọ ga biri n’ala ọzọ.

28 Nke a bụ ọnụọgụgụ ndị ahụ Nebukadneza mere ka ha gaa biri n’ala ọzọ.

N’afọ nke asaa nke ọchịchị ya,
puku atọ ndị Juu na iri abụọ na atọ, 3,023.
29 N’afọ nke iri na asatọ nke ọchịchị Nebukadneza,
ka o mere ka narị mmadụ asatọ na iri atọ na abụọ, 832 si na Jerusalem gaa biri
n’ala ọzọ.
30 N’afọ nke iri abụọ na atọ,
Nebuzaradan, onyeisi ndị nche alaeze Babilọn bulara ndị dị narị ndị Juu asaa na
iri anọ na ise, 745 ka ha ga biri n’ala ọzọ.

Ọnụọgụgụ ha niile dị puku anọ na narị isii, 4,600.

### *Jehoiakin enwere onwe ya*

31 N’afọ nke iri atọ na asaa, site na mgbe e mere ka Jehoiakin eze Juda gaa biri
n’ala ọzọ, n’afọ Awel-Maduk ghọrọ eze Babilọn. Mgbe ahụ, o mere ka Jehoiakin eze
Juda, si n’ụlọ mkpọrọ pụta, nwere onwe ya. O mere nke a n’ụbọchị iri abụọ na
ise nke ọnwa iri na abụọ. 32 Ọ gwara ya okwu ọma, nyekwa ya ọnọdụ ugwu dị elu
karịa ọnọdụ ndị eze ndị ọzọ niile ha na ya nọ na Babilọn. 33 N’ihi nke a, Jehoiakin
gbanwere uwe mkpọrọ ya, wezuga ya. Sitekwa n’oge ahụ tutu ruo mgbe ọ nwụrụ,
ya na eze na-erikọ nri. 34 Site n’ụbọchị ruo n’ụbọchị, eze Babilọn na-enye Jehoiakin
oke ihe ruru ya kwa ụbọchị niile nke ọ dị ndụ, ruokwa n’ụbọchị ọnwụ ya.

* **52:21** 52:21 Iri nzọ ụkwụ abụọ na asaa † **52:21** 52:21 Nzọ ụkwụ iri na asatọ ‡ **52:22** 52:22 Ya bụ nzọ
ụkwụ asaa na ọkara

# Abụ Akwa

## 1

1 Lee ka obodo ahụ nke ndị ya dị ọtụtụ
si bụrụ ebe tọgbọrọ n'efu!
Lee ka o si ghọọ nwanyị di ya nwụrụ,
bụ obodo ahụ a maara aha ya n'etiti mba niile.
Lee ka onye naara abụ eze nwanyị n'etiti ala niile a na-achị achị
si ghọọ ohu.

2 Ọ na-akwasị akwa ike n'abalị,
anya mmiri na-asọdakwa na nti ya,
n'etiti ndị ahụ niile hụrụ ya n'anya,
ọ dịghị onye na-akasị ya obi.
Ndị enyi ya niile aghọgbuola ya;
ha niile aghọọla ndị iro ya.

3 Juda ejeela biri n'ala ọzọ,
mgbe o siri n'ọnọdụ mweda n'ala na ndọgbu n'ọrụ pụta.
Ọ na-ebi n'etiti mba dị iche iche,
ma ọ chọtaghị ebe izuike ọbụla.
N'etiti nhụju anya ya
ndị niile na-achụ ya ọsọ achụkwutela ya.

4 Okporoụzọ niile e si eje Zayọn na-eru ụjụ,
n'ihi na ọ dịghị onye na-abịakwa na mmemme ndị ahụ a kara aka.
Ọnụ ụzọ ama ya niile atọgbọrọla n'efu,
ndị nchụaja ya na-asụ ude,
ụmụ agbọghọ nọ n'ọnọdụ mwute,
ya onwe ya nọkwa n'ọnọdụ dị ilu.

5 Ndị iro ya aghọọla ndị na-achị ya;
ndị iro ya nọ n'ahụ udo.
N'ihi na ONYENWE ANYỊ emekpaala ya ahụ,
n'ihi ịba ụba nke njehie ya niile.
E burula ụmụntakịrị ya bulaa mba ọzọ,
dịka ndị a dọtara n'agha.

6 Ịma mma niile
esitela n'ahụ ada Zayọn pụọ.
Ụmụ eze ya dị ka ele
nke na-enweghị ike ịchọta ebe ịta nri.
N'ihi adịghị ike ha,
ha esitela n'ihu ndị na-achụ ha ọsọ gbalaga.

7 N'ụbọchị ndị ahụ niile e wedara ya n'ala,
Jerusalem echetala akụ ndị ahụ niile bụ nke ya na mgbe ochie.
Jerusalem echetala ha n'ụbọchị ndị ahụ niile ọ na-awagharị.
Mgbe ndị ya dabara n'aka ndị iro ya,

o nweghị onye inyeaka ha hụrụ.
N’oge ahụ, ndị iro ya hụrụ ọnọdụ
ya, chịa ya ọchị.

8 Jerusalem emehiela nke ukwu,
n’ezie, ọ ghọọla ihe rụrụ arụ.
Ndị ahụ niile na-asọpụrụ ya na mbụ eleļiala ya anya,
n’ihi na ha ahụla ọtọ ya.
Ya onwe ya kwa na-asụ ude,
ma chigharịakwa azụ.

9 Ịrụ arụ ya pụtara ihe, ọ bụladị n’uwe ya.
Ọ dịkwaghị mgbe o chere echiche banyere ihe dị na-eche ya n’oge dị n’ihu.
Lee ka o si daa, dasie ike,
ma ọ dịghị onye bịara kasịe ya obi.
“ONYENWE ANYỊ, lee nsogbu m niile.
Lee ka ndị iro si merie m.”

10 Onye iro agbasaala aka ya
chịkọtaa akụ ya niile.
O ji anya ya hụ ka mba ndị ọzọ dị iche iche
si bata ebe nsọ ya.
Ndị ahụ na-ekwesighị ịbata
bụ ndị batara n’ebe nzukọ gị.

11 Ndị ya niile na-asụ ude
mgbe ha na-achọ ihe ha ga-eri.
Ha na-ewere ihe ha nwere nye n’ihi oriri,
ime ka ha nwee ike dịrị ndụ.
“ONYENWE ANYỊ, lee, ma tuleekwa ihe ndị a niile,
n’ihi na abụrụla m onye a na-eleļị.”

12 “Ọ bụ na ọ dịghị emetụ unu n’obi, unu ndị niile na-esi ebe a na-agafe?
Legharịanụ anya unu ka unu hụrụ.
O nwere ahụhụ dịka ahụhụ m,
nke e mere ka ọ bịakwasị m,
bụ nke ONYENWE ANYỊ mere ka ọ bịakwasị m,
n’ụbọchị ọ na-ewe iwe ya dị ọkụ?

13 “O si n’elu zite ọkụ,
e, o zitere ọkụ nke na-ere n’ime ọkpụkpụ m.
Ọ gbasara ụgbụ n’ebe ụkwụ m ga-esi gafee,
meekwa ka m laghachi azụ.
O mere ka m bụrụ ihe tọgbọrọ n’efu,
onye na-ada mba ogologo ụbọchị niile.

14 “Ọ na-eleru anya na mmehie m niile;*
jiri aka ya na-akpa ha dịka ụdọ.
A nyakwasịla ya n’olu m.
Onyenwe anyị emeela ka ike gwụsịa m.

---

* **1:14** 1:14 Maọbụ, ọ kpaala mmehie m niile dịka agbụ yoku

O werela m nyefee n’aka ndị ahụ
m na-apụghị iguzogide.

15 “Onyenwe anyị ajụla
ndị niile bụ dike n’agha nọ n’etiti m.
Ọ kpọkuola usuu ndị agha ka ha bịa buo agha megide m,
ka ha bịa gwepịa ụmụ okorobịa m niile.
N’ebe ịzọcha mkpụrụ vaịnị ya
ka Onyenwe anyị zọchara ada Juda na-amaghị nwoke.

16 “Ọ bụ nke a mere m ji akwa akwa.
Ọ bụ ya mekwara anya mmiri ji ju m anya.
O nweghị onye nkasiobi ọbụla nọ m nso;
o nwekwaghị onye ga-akpọghachi mkpụrụobi m.
Ụmụ m atọgbọla n’efu,
n’ihi na onye iro emeriela.”

17 Lee ka Zayọn si gbasapụ aka ya
ma o nweghị onye nkasiobi o nwere.
ONYENWE ANYỊ enyela iwu banyere Jekọb
na ndị agbataobi ya ga-aghọ ndị iro ya.
Jerusalem aghọkwaala
ihe rụrụ arụ n’etiti ha.

18 “Ma ONYENWE ANYỊ bụ onye ezi omume.
Ọ bụ mụ onwe m nupuru isi n’iwu ya.
Geenụ ntị unu ndị niile,
leenụ anya n’ụdị ahụhụ dakwasịrị m.
A dọtala ụmụ okorobịa na ụmụ agbọghọbịa m niile n’agha
buru ha jee mba ọzọ.

19 “Akpọkuru m ndị mụ na ha dị na mma,
ma ha ghọgburu m.
Ndị nchụaja m na ndị okenye m
nwụrụ n’ime obodo
mgbe ha nọ na-achọta nri
ha ga-eji debe onwe ha ndụ.

20 “Lee, ONYENWE ANYỊ, ka m si bụrụ onye ahụhụ dị ukwuu dakwasịrị.
Ime anụ ahụ m na-anụ ọkụ,
obi m kwa enweghị izuike n’ime m
n’ihi na onye nnupu isi dị ukwuu ka m bụ.
N’ezi, ọ bụ mma agha ka a ga-eji mee ka mmadụ gbara aka nwa.
Ma n’ime ụlọ, ọ bụ naanị ọnwụ dị ya.

21 “Ndị mmadụ anụla olu ịsụ ude m,
ma o nweghị onye bịara ịkasị m obi.
Ndị iro m niile anụla akụkọ ihe ọjọọ dakwasịrị m,
ma ha na-aṅụrịkwa ọṅụ n’ihi ihe i mere ka ọ bịakwasị m.
Mee ka ụbọchị ahụ i kara aka bịa,
nke ga-eme ka ha dịrị ka m dị.

22 “Kwere ka ihe ọjọọ niile ha na-eme bịa n’ihu gị.
Mesokwa ha mmeso
dịka i si mesoo m
n’ihi mmehie niile nke m.
N’ihi na ịsụ ude m dị ọtụtụ,
ana m adakwa mba n’obi m.”

# 2

1 Lee ka Onyenwe anyị si jiri igwe ojii nke iwe ya
kpuchie ada Zayọn!
O sitela n’eluigwe
tụda ịma mma Izrel n’ala,
o chetakwaghị ebe mgbakwasị ụkwụ ya,
n’ụbọchị iwe ya.

2 Onyenwe anyị elodala ebe obibi niile nke Jekọb;
na-enweghịkwa ọmịiko n’ebe ọ nọ.
O sitela n’oke iwe ya
dọdasịa ebe niile e wusiri ike nke ada Juda.
Ọ wedala alaeze ya na ndị ụmụ eze ya n’ala,
mee ka ha gharakwa ị nwee nsọpụrụ.

3 O sitela n’oke iwe ya
bipụ ike niile Izrel nwere.
O seghachiri aka nri ya,
mgbe ndị iro ha na-abịa nso.
O nwukwara dịka ọkụ na-enwusi ike n’etiti Jekọb;
si otu a rechapụ ihe niile dị gburugburu ya.

4 O kweela ụta ya, jide ya n’aka nri ya,
dịka onye iro.
Dịka onye iro kwa
o gbuola ndị ahụ niile mara mma ile anya;
ọ wụpụla iwe ya, dịka ọ bụ ọkụ,
n’elu ụlọ ada Zayọn.

5 Onyenwe anyị dị ka onye iro,
o lomichaala Izrel.
O lomichaala ụlọeze ya niile,
bibiekwa ebe ya niile e wusiri ike.
O meela ka iru ụjụ na ịkwa akwa
mụbaara ada Juda.

6 O meela ka ebe obibi ya tọgbọrọ n’efu, dịka ubi a gbara ogige;
o bibiela ebe nzukọ ya niile.
Onyenwe anyị emeela ka Zayọn chezọọ
ime mmemme ya a kara aka, na idebe ụbọchị izuike ọbụla nsọ.
Site n’oke iwe ya,
ọ jụla eze na onye nchụaja.

7 Onyenwe anyị ajụla ebe ịchụ aja ya
gbakụta ebe nsọ ya azụ.
O werela mgbidi niile nke ụlọeze ya
nyefee n’aka onye iro;
ha emeela ka olu ha daa ụda n’ime ụlọ ONYENWE ANYỊ
dịka n’ụbọchị mmemme a kara aka.

8 ONYENWE ANYỊ ekpebiela ibibi
mgbidi gbara ada Zayọn gburugburu.
O setịpụrụ ihe ọtụtụ;
o sepụkwaghị aka ya na ibibi ya.
O mere ka mkputamkpu aja na mgbidi ruo ụjụ,
meekwa ka ha richapụsịa.

9 Ọnụ ụzọ ama ya niile emikpuola n’ala;
ọ gbajiela mkpọrọ niile e ji akpọchi ha, laakwa ha n’iyi.
A dọtala eze ya na ụmụ eze ya n’agha, buru ha jee mba ọzọ.
Iwu adịghịkwa,
otu a, ndị amụma ya enwekwaghị ike ịhụ ọhụ
site n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ.

10 Ndị okenye ada Zayọn
nọ ọdụ n’ala, dere duu.
Ha ekpokwasịla aja n’isi ha;
ha eyikwasịkwala onwe ha uwe mkpe.
Ụmụ agbọghọ Jerusalem na-amaghị nwoke
ehulatala isi ha n’ala.

11 Ike agwụla anya m n’ihi ịkwa akwa,
ime ime ahụ m na-anụ ọkụ.
Obi m dị ka ihe a wụpụrụ n’ala,
n’ihi na e bibiela ndị m,
n’ihi na ụmụntakịrị na ụmụ a mụrụ ọhụrụ na-ada mba
n’okporoụzọ nke obodo.

12 Ha na-ebere nne ha akwa na-asị,
“Olee ebe ọka na mmanya dị?”*
Mgbe ha na-ada mba dịka ndị e merụrụ ahụ
n’okporoụzọ obodo,
mgbe ọnwụ ji nwayọọ na-eripịasị ndụ ha
n’aka nne ha ku ha.

13 Gịnị ka m nwere ike ikwu banyere gị?
Gịnị ka m ga-eji tụnyere gị,
gị ada Jerusalem?
Gịnị ka m ga-asị na i yiri,
nke ga-enyere m aka ịmata otu m ga-esi kasịe gị obi,
gị ada Zayọn na-amaghị nwoke?
Ọnya dị gị n’ahụ miri emi, dịka ịdị omimi nke osimiri.
Onye pụrụ ịgwọ gị?

* **2:12** 2:12 Achịcha na ihe ọṅụṅụ dị

14 Ọhụ niile ndị amụma gị hụrụ
bụ ọhụ ụgha na ọhụ na-enweghị isi.
Ha ekpugheghị mmehie gị,
igbochi ndọta n'agha nke a dọtara gị.
Kama ihe ha hụtaara gị
bụ ihe ụgha na nduhie.

15 Ndị niile si n'ebe ị nọ
na-agafe na-akụrụ gị aka ha;
ha na-efufe isi ha,
jirikwa ada Jerusalem na-eme ihe ọchị.
Ha na-ajụ ajụjụ na-asị, "Nke a ọ bụ obodo ahụ
a na-akpọ ebe mabigara mma oke,
ọṅụ nke ụwa niile?"

16 Ndị iro gị niile na-emeghepụ ọnụ ha
megide gị;
ha na-achị gị ọchị, na-atara gị ikekere eze.
Ha na-ekwu na-asị, "Anyị eloola ya.
Nke a bụ ụbọchị ahụ anyị na-ele anya ya.
Anyị adịrịla ndụ hụ ya."

17 ONYENWE ANYỊ emeela ihe o zubere ime.
O mezuola ihe o kwuru na ọ ghaghị ime
site n'oge gara aga.
Ọ kwatuola gị, na-enweghị ọmịiko ọbụla.
O meela ka ndị iro gị ṅụrịa ọṅụ n'ahụ gị;
o meekwala ka e bulie ike nke ndị iro gị.

18 Obi ndị mmadụ
na-etiku Onyenwe anyị.
Gị, mgbidi niile nke ada Zayọn,
ka anya mmiri gị na-asọpụta dịka osimiri
ehihie na abalị niile,
enyekwala onwe gị izuike,
enyekwala anya gị izuike.

19 Bilie, kwaa akwa n'abalị,
n'oge mmalite nche abalị.
Wụpụta ihe dị gị n'obi n'ihu Onyenwe anyị
dịka ọ bụ mmiri.
Welie aka unu elu nye Onyenwe anyị
n'ihi ụmụntakịrị ndị a,
ndị na-ada n'ihi agụụ
n'isi okporoụzọ niile.

20 "Lee anya, ONYENWE ANYỊ, ma tụgharịa uche gị.
Onye ka i sirila otu a mesoo mmeso?
O kwesiri ka ndị bụ nne rie ụmụ ha,
bụ ụmụ nke ha mụrụ?
O kwesiri ka e gbuo onye nchụaja na onye amụma

n’ime ebe dị nsọ nke Onyenwe anyị?

21 “Ụmụ okorobịa na ndị okenye dinakọrọ n’otu ebe,
n’uzuzu nke okporoụzọ.
E jirila mma agha gbuo
ụmụ okorobịa m na ụmụ agbọghọ m.
I gbuola ha n’ụbọchị iwe gị;
i gburu ha jụ inwe ọmịiko n’ahụ ha.

22 “Dịka i si akpọ oku ka a bịa n’ụbọchị oriri,
otu a ka i si kpọkọta ihe egwu niile ka ha bịakwasị m n’akụkụ niile.
N’ụbọchị nke iwe Onyenwe anyị
ọ dịghị onye gbapụrụ ọsọ, ọ dịkwaghị onye fọdụrụ ndụ;
ndị m lekọtara, zụlitekwa
ka ndị iro m lara n’iyi.”

## 3

1 Abụ m onye hụrụla ahụhụ site
na mkpara igwe nke nrubiga oke nke iwe Onyenwe anyị.
2 O sitela n’ihu ya chụpụ m, mee ka m jeghariạ
n’ọchịchịrị kama n’ìhè.
3 N’ezie, ọ tụgharịala aka ya megide m,
mgbe mgbe, ogologo ụbọchị niile.

4 O meela ka akpụkpọ ahụ na anụ ahụ m fịkpọọ,
ọ nyajisiela ọkpụkpụ di m n’ahụ.
5 O busola m agha,
jiri ihe ilu na oke mkpagbu gbaa m gburugburu.
6 O meela ka m biri n’ọchịchịrị
dịka ndị nwụrụ anwụ kemgbe oge gara aga.

7 Ọ gbachibidola m ogige, ime ka m ghara ịgbapụ;
o jirila ụdọ igwe dị arọ mee ka m ghara ijegharị.
8 Ọ na-eme ka ekpere m hapụ irute ya,
ọ bụladị mgbe m kpọkuru ya ka o nyere m aka.
9 O jirila nkume a wara awa gbachie ụzọ m niile,
o meela ka okporoụzọ m gbagọọ agbagọ.

10 Dịka anụ ọhịa bịa nke makpu na-eche nche,
na dịka ọdụm nke na-ezo onwe ya,
11 o sitela n’okporoụzọ dọkpụrụ m dọbisie m ahụ,
hapụ m na-enweghị onye inyeaka.
12 Ọ dọọla ụta ya
mee m ka m bụrụ onye àkụ ya ga-agbata.

13 O ji àkụ nke si n’akpa àkụ ya
gbapuo m obi.
14 Aghọrọ m ihe ọchị nye ndị m niile;
ha ji abụ na-akwa m emo ogologo ụbọchị niile.

15 O meela ka ihe niile na-elu ilu ju m afọ,
meekwa ka m ṅụjuo oluilu afọ.

16 O meela ka m jiri okwute tajisie eze m,
o kponyekwala m ntụ n'ọnụ m.
17 Enweghị m udo,
echezọkwaala m ihe ọganihu bụ.
18 N'ihi ya, ana m ekwu, "Ịma mma m ọbụla adịghịkwa.
Agaghị m enwetakwa ihe ndị ahụ m lere anya na m ga-esi n'aka ONYENWE ANYỊ nweta."

19 Ana m echeta ahụhụ m, na mwagharị m,
ya na ihe ilu na oluilu.
20 Mgbe m na-echeta ya,
obi m na-ada mba n'ime m.
21 Ma ọ dị ihe m na-echeta n'obi m
nke na-eme ka m nwee olileanya.

22 Ọ bụ n'ihi ịhụnanya dị ukwuu nke ONYENWE ANYỊ na-emeghị ka anyị gwụsịa,
n'ihi na obi ebere ya adịghị agwụ agwụ.
23 Ha na-adị ọhụrụ ụtụtụ niile;
ikwesi ntụkwasị obi gị bụ ihe kwudosiri ike.
24 Mkpụrụobi m na-ekwu, "ONYENWE ANYỊ bụ oke m,
n'ihi ya, aga m enwe nchekwube na ya."

25 ONYENWE ANYỊ dị mma n'ebe ndị olileanya ha dị n'ime ya,
e, n'ebe obi ahụ dị, nke na-achọsi ya ike.
26 Ọ bụ ihe dị mma iji nwayọọ
chere nzọpụta nke ONYENWE ANYỊ.
27 Ọ bụ ihe dị mma ka mmadụ buru ibu arọ dịrị ya
mgbe ọ bụ okorobịa.

28 Ya nọrọkwa duu naanị ya,
n'ihi na ọ bụ ONYENWE ANYỊ bokwasịrị ya ibu ahụ.
29 Ya tinye ihu ya n'aja,
n'ihi na olileanya nwere ike dịrị.
30 Ya cheziere onye ahụ chọrọ iti ya ihe ntị ya,
ya kwerekwa ka ihe ihere ju ya afọ.

31 N'ihi na Onyenwe anyị adịghị ajụ onye ọbụla ruo
mgbe ebighị ebi.
32 Ọ bụ ezie na ọ na-eme ka mmekpa ahụ bịa, ma ọ na-emesịakwa gosi obi ebere ya,
n'ihi na ịhụnanya ya, nke na-adịghị agwụ agwụ, dị ukwuu.
33 N'ihi na ọ naghị elezi anya eweta ahụhụ,
maọbụ mee ka ụmụ mmadụ nọọ na mmekpa ahụ.

34 Iji ụkwụ zọgbuo
ndị mkpọrọ nọ n'ala ahụ
35 ime ka ihe ruru mmadụ hapụ iru ya aka
n'ihu Onye kachasị ihe niile elu,
36 ime ka ikpe ziri ezi ghara irute mmadụ.

Ọ bụ na Onyenwe anyị agaghị ahụ ihe ndị a?

37 Onye pụrụ ikwu okwu mekwa ka ọ dị ire
ma ọ bụrụ na Onyenwe anyị enyeghị iwu ka ọ dị otu ahụ?
38 Ọ bụghị site n'ọnụ Onye kachasị ihe niile elu
ka ihe ọma na ihe ọjọọ si abịa?
39 Gịnị mere mmadụ dị ndụ ga-eji tamuo ntamu
mgbe ọ na-ahụ ahụhụ n'ihi mmehie ya?

40 Ka anyị nyochaanụ ụzọ anyị nwapụta ya.
Ka anyị lọghachikwutenụ ONYENWE ANYỊ.
41 Ka anyị welie aka anyị abụọ na obi anyị elu nye
Chineke nọ n'eluigwe, sị:
42 "Anyị emehiela, nupu isi,
ma ị gbagharabeghị.

43 "I jirila iwe kpuchie onwe gị, si otu a chụọ anyị ọsọ.
I gbuola anyị, jụ imere anyị ebere.
44 I jiri igwe ojii kpuchie onwe gị
ka ekpere anyị ghara irute gị.
45 I meela ka anyị ghọọ unyi na ihe a zachapụrụ azachapụ
n'etiti mba niile.

46 "Ndị iro anyị niile asaghepụla ọnụ ha
megide anyị.
47 Anyị ahụọla ahụhụ site n'oke ihe egwu na ihe ndaba dị iche iche,
na mbibi na ịla n'iyi."
48 Anya mmiri nke dịka iyi na-asọ asọ si n'anya m na-asọpụta
n'ihi ndị m a lara n'iyi.

49 Anya mmiri si m n'anya ga-anọgide na-asọpụta
na-akwụsịghị akwụsị,
50 tutu ruo mgbe ONYENWE ANYỊ ga-esite n'eluigwe
ledata anya ma hụ.
51 Ihe anya m na-ahụ na-ewetara mkpụrụobi m ihe mgbu,
n'ihi ọnọdụ nke ndị inyom niile nọ n'ime obodo m.

52 Ndị ahụ mere onwe ha ndị iro m, ndị m na-emeghị ihe ọjọọ ọbụla,
na-achụ m ọsọ dịka m bụ nnụnụ.
53 Ha gbalịrị ime ka m nwụọ n'ime olulu
site n'ịtụ m nkume.
54 Mmiri kpuchiri m isi,
echere m na-efuola m.

55 Esitere m na nsọtụ olulu ahụ kpọkuo aha gị,
gị ONYENWE ANYỊ.
56 Ị nụrụ arịrịọ m rịọrọ gị, "Biko, emechila ntị gị.
Nụrụ arịrịọ inyeaka nke m na-arịọ gị."
57 Ị bịara nso mgbe m kpọkuru gị.
Ị sịrị, "Atụla egwu."

58 Gị onwe gị, Onyenwe anyị, kpechitere ọnụ m,
gị gbapụtara ndụ m.
59 ONYENWE ANYỊ, ị hụla ihe ọjọọ ha mere m.
Kpechitere m ọnụ m.
60 Ị hụla ịbọ ọbọ ha niile
na nzube niile ha na-ezube megide m.

61 ONYENWE ANYỊ, ị nụla nkọcha niile ha na-akọcha m
na nzube niile ha na-ezube megide m.
62 Ị na-anụ izu na ntamu nke ndị iro m
megide m ogologo ụbọchị niile.
63 Lee ha! Ha na-akọcha m mgbe ha guzoro ọtọ, na-akọcha m mgbe ha nọdụrụ ala.
Ha ji abụ na-akọcha m.

64 ONYENWE ANYỊ, biko, kwụghachi ha ihe ruuru ha,
n'ihi ihe niile aka ha rụpụtara.
65 Jiri ihe mkpudo kpuchie obi ha.
Meekwa ka ịbụ ọnụ gị dịkwasị ha.
66 Site n'iwe gị chụọ ha ọsọ. Laakwa ha n'iyi n'iwe gị,
ka ha ghara ịdịkwa n'okpuru eluigwe nke ONYENWE ANYỊ ọzọ.

# 4

1 Lee ka ọlaedo si chuo echu.
Lee ka ọlaedo makarịsịrị mma si gbanwee ghọọ ihe na-amakwaghị mma.
Nkume niile dị oke ọnụahịa nke ebe nsọ bụ
ndị a ghasara n'isi okporoụzọ niile.

2 Lee ka ụmụ ndị ikom Zayọn dị oke ọnụahịa,
ndị dị oke ọnụahịa na mbụ dịka ọlaedo a nụchara anụcha,
si dịrị ugbu a dịka ite aja
nke ọkpụ ite kpụrụ.

3 Ọ bụladị ụmụ nkịta ọhịa na-eji ara ha
azụ ụmụ ha,
ma ndị a aghọọla ndị na-enweghị obi ebere;
ha aghọọla enyi nnụnụ nke na-ebi n'ọzara.

4 Lee na ire nwa ọhụrụ na-arapara n'akpo ọnụ ya
n'ihi akpịrị ịkpọ nkụ.
Ụmụntakịrị na-arịọkwa ka e nye ha nri,
ma o nweghị onye na-enye ha nri ahụ.

5 Ndị ahụ naara eri ihe ụtọ dị iche iche
tọgbọrọ n'efu ugbu a n'okporoụzọ.
Ndị ahụ a zụrụ iyi uwe uhie uhie
nọ ugbu a na-edina n'ebe a na-ekpofu ahịhịa.

6 Ahụhụ dịịrị ndị m dị ukwuu
karịa ahụhụ nke bịakwasịrị Sọdọm.

N’ihi na ọ bụ n’otu ntabi anya ka a kwatụrụ ya.
Ọ dịkwaghị onye bịara nyere ya aka.

7 Ụmụ ndị eze ha na-egbuke karịa akụmmiri igwe,
ha na-acha ọcha chakarịa mmiri ara ehi.
Anụ ahụ ha na-akwọ mụrụmụrụ dịka nkume rubi dị oke ọnụahịa;
ha makwara mma ile anya dịka nkume safaia, bụ nkume dị oke ọnụahịa.

8 Ma ugbu a, ha na-eji nji karịa unyi.
A naghị amatakwa ha ma a hụ ha n’ezi.
Anụ ahụ ha araparala n’ọkpụkpụ ha;
ọ kpọnwụọla dịka a ga-asị na ọ bụ osisi kpọrọ nkụ.

9 Ọnọdụ ndị e ji mma agha gbuo ka mma
karịa ọnọdụ ndị nwụrụ site n’ụnwụ,
ndị agụụ gụgburu, ndị ji nwayọọ nwayọọ nwụọ
n’ihi nri nke na-adịghị n’ubi.

10 Aka ha ka ndị inyom ndị ahụ nwere obi ebere
ji gbuo ụmụ ha, sie ha.
Ụmụ ha ghọọrọ ha nri
n’oge ahụ a lara ndị m n’iyi.

11 Onyenwe anyị emeela ka nrubiga oke nke iwe ya pụta ìhè;
ọ wụpụla iwe ya dị ọkụ.
O sunyela ọkụ na Zayọn,
nke rechapụrụ ntọala ya niile.

12 Ndị eze nke ụwa ekwetaghị;
otu a kwa, ndị ụwa niile ekwetakwaghị
na ndị iro nwere ike
si n’ọnụ ụzọ ama banye n’ime Jerusalem.

13 Ma ihe ndị a mere n’ihi mmehie ndị amụma ya,
na n’ihi ajọ omume nke ndị nchụaja ya,
ndị wụsiri ọbara
ndị ezi omume nọ n’etiti ya.

14 Ugbu a, ha na-asọ isi n’okporoụzọ niile,
dịka ndị kpuru ìsì.
Ha ejirila ọbara merụọ onwe ha.
O nwekwaghị onye na-agbalị ịbịaru ha nso ịmetụ uwe ha aka.

15 Ndị mmadụ na-eti mkpu na-asị ha, “Sitenụ n’ebe anyị nọ wezuga onwe unu! Unu rụrụ arụ!
Wezuganụ onwe unu, unu emetụkwala anyị aka!”
Mgbe ha gbapụrụ ọsọ bido na-awagharị,
ndị nọ na mba dị iche iche na-asị ha,
“O kwesighị ka ha nọrọkwa n’ebe a.”

16 Onyenwe anyị n’onwe ya achụsaala ha.

Ọ gaghị agụnyekwa ha.
Ọ dịkwaghị ndị na-asọpụrụ onye nchụaja,
ọ dịkwaghị ndị na-emere ndị okenye amara.

17 Nke ka nke, anya agbaala anyị ọchịchịrị,
ebe anyị nọ na-elepụ anya n’efu maka enyemaka.
Ọ bụ site n’ụlọ elu nche ka anyị nọ na-elepụ anya, na-ele anya
maka ọbịbịa mba ahụ na-enweghị ike bịa zọpụta anyị.

18 Ndị mmadụ na-esogharị anyị ebe niile anyị jere,
n’ihi ya anyị enweghị ike jegharịakwa n’okporoụzọ anyị.
Ọgwụgwụ anyị adịla nso, a pụkwara ịgụta ụbọchị ole fọdụụrụ anyị,
tupu ọgwụgwụ anyị eruo.

19 Ndị na-achụ anyị ọsọ na-agbasi ọsọ ike
karịa ugo na-efe na mbara eluigwe.
Ha chụgharịrị anyị n’elu ugwu niile,
nọrọkwa n’ọzara zoo onwe ha na-eche anyị.

20 Ume ndụ anyị, nke ONYENWE ANYỊ tere mmanụ,
ka ha jidere n’ọnya ha.
Anyị naara eche na anyị ga-ebi n’okpuru ndo ya,
n’etiti mba dị iche iche.

21 Ṅụrịa ọṅụ, ka obi tọkwaa gị ụtọ, gị ada Edọm,
onye nke bi n’ala Uz.
Ma a ga-emesịakwa nye gị iko ahụ.
Ị ga-esitekwa na ya ṅụọ ihe ọṅụṅụ ṅụjụbiga afọ oke. A ga-agbakwa gị ọtọ.

22 Gị ada Zayọn, ahụhụ gị agwụsịala;
Ọ gaghị emekwa ka i jee biri ogologo oge na mba ọzọ.
Kama, ọ ga-ata gị ahụhụ n’ihi mmehie gị, gị, ada Edọm,
kpugheekwa ajọ omume gị niile.

# 5

1 ONYENWE ANYỊ, biko, cheta ihe niile dakwasịrị anyị;
leekwa anya ka ị hụrụ ọnọdụ ihere anyị.
2 E werela ihe nketa anyị nyefee ndị ọbịa n’aka,
werekwa ebe obibi anyị nyefee n’aka ndị mba ọzọ.
3 Anyị aghọọla ụmụ mgbei, na ndị na-enweghị nna.
Nne anyị ha dị ka ndị inyom di ha nwụrụ.
4 Anyị na-akwụ ụgwọ n’ihi mmiri anyị na-aṅụ.
Ọ bụkwa ego ka anyị ji azụ nkụ.
5 Agbanyeghị na anyị nya yoku n’olu, anyị bụ ndị a na-adọgbu n’ọrụ,
ike agwụla anyị, enyeghị anyị izuike.
6 Anyị weere onwe anyị nyefee ndị Ijipt na ndị Asịrịa n’aka
n’ihi inweta nri ga-ezuru anyị.
7 Nna anyị ha mehiere, ma ha anwụọla.
Ma ọ bụ anyị na-anata ntaramahụhụ kwesiri ịbụ nke ha.

8 Ndị bụ ohu na-achị anyị.
Ọ dịghị onye anyị nwere nke ga-anapụta anyị site n'aka ha.
9 Anyị ji ndụ anyị n'aka mgbe anyị na-achọ inweta ihe anyị ga-eri,
n'ihi mma agha nke dị n'ọzara.
10 Anụ ahụ anyị dị ọkụ dịka ite ọkụ,*
na-amakwa jijiji n'ihi agụụ.
11 Emerụọla ndị inyom dị na Zayọn,
ha na ụmụ agbọghọ na-amaghị nwoke niile dị n'obodo dị iche iche nke Juda.
12 Akwụgbuola ụmụ eze site n'ikegide aka ha n'elu;
a dịghị enyekwa ndị okenye nsọpụrụ.
13 Ụmụ okorobịa na-adọgbu onwe ha n'ọrụ na nkume ịkwọ nri,
ụmụntakịrị ndị nwoke na-asụkwa ngọngọ n'okpuru ọtụtụ nkụ.
14 Ndị okenye adịghịkwa anọ n'ọnụ ụzọ ama,
ụmụ okorobịa akwụsịkwala ịkpọ ụbọ akwara ha.
15 Ọṅụ adịghịkwa n'obi anyị;
ite egwu anyị aghọọlara anyị ịnọ ọnọdụ iru ụjụ.
16 Okpueze esitela n'isi anyị dapụ.
Ahụhụ dịrị anyị n'ihi na anyị emehiela.
17 N'ihi nke a, obi anyị na-ada mba,
n'ihi ihe ndị a ka anya anyị na-agba ọchịchịrị.
18 N'ihi ugwu Zayọn nke tọgbọrọ n'efu,
nke ghọrọ ebe nkịta ọhịa na-akpagharị.

19 Gị, ONYENWE ANYỊ, na-abụ eze ruo mgbe ebighị ebi.
Ocheeze gị na-adịgide site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.
20 Gịnị mere i ji na-echezọ anyị kpamkpam?
Gịnị mere i ji gbakụta anyị azụ ogologo ụbọchị ndị a niile?
21 Mee ka anyị lọghachikwute gị, ONYENWE ANYỊ, ka anyị si otu a lọtakwa;
gbanwee ụbọchị anyị ka ọ dị ọhụrụ dịka na mgbe ochie,
22 ma ọ bụghị na ị jụla anyị kpamkpam
na-eweso anyị iwe nke ukwu.

* **5:10** 5:10 Ite ọkụ a, bụ nke eji eghe ihe dịka achịcha maọbụ amịkpọ anụ na ihe ndị ọzọ

# Izikiel

*Ọhụ mbụ Izikiel hụrụ*

1 O ruo n’afọ nke iri atọ, n’ọnwa nke anọ, n’ụbọchị nke ise ya, mgbe mụ onwe m na
ndị ahụ e mere ka ha gaa biri na mba ọzọ nọ n’akụkụ iyi ukwu Keba, na e meghere
eluigwe mee ka m hụ ọhụ dị iche iche site n’aka Chineke.
2 N’ụbọchị nke ise n’ọnwa ahụ, ọ bụ n’afọ nke ise mgbe a dọkpụụrụ eze Jehoiakin
jee mba ọzọ, 3 okwu ONYENWE ANYỊ ruru Izikiel onye nchụaja nwa Buzi ntị, mgbe ọ
nọ n’akụkụ iyi ukwu Keba, nke dị n’ala ndị Kaldịa.* N’ebe ahụ kwa ka aka ONYENWE
ANYỊ nọ dịkwasị ya n’ahụ.
4 Elere m anya hụ oke ifufe nke si n’ugwu na-abịa, ahụkwara m oke igwe ojii na
amụma nke na-egbuke egbuke; ìhè nke na-enwu nnọọ vaa gbara ya gburugburu. Etiti
ọkụ ahụ nwere ihe dịka ọlaọkụ na-amụke amụke. 5 Ihe e kere eke anọ dị ndụ, nke
yiri mmadụ n’ụdịdị ha, nọkwa n’etiti oke ihe ahụ. 6 Nke ọbụla n’ime ha nwere ihu
anọ, na nku anọ. 7 Ụkwụ ha guzoro kwem; ọbụ ụkwụ ha dịka nke nwa ehi, na-
amụkekwa dịka bronz e hichara nke ọma. 8 N’okpuru nku ha, ha nwere aka yiri aka
mmadụ n’akụkụ anọ ha niile. Otu a ka ihu ha na nku anọ dị. 9 Nku ha na-emetụ na
nke ibe ha. Mgbe ha na-efe, ha na-eche ihu ha n’otu ụzọ, ha adịghị agha anya ha
n’azụ mgbe ha na-aga.
10 Maka oyiyi ihu ha: Ha anọ nwere ihu mmadụ, n’akụkụ aka nri ha nwere ihu
ọdụm, n’akụkụ aka ekpe ha bụ ihu ehi, onye ọbụla nwekwara ihu ugo. 11 Otu ahụ ka
ihu ha niile dị. Ha gbasara nku ha n’elu, nke ọbụla nwere nku abụọ, otu n’ime nku
ndị a na-emetụ nku nke ibe ya, ebe abụọ kpuchiri ahụ ha. 12 Ha niile gawara n’ihu.
Ebe ọbụla mmụọ ahụ gara ka ha na-aga, na-eleghị anya n’azụ. 13 N’etiti ihe ndị a
dị ndụ, e nwere ihe dịka icheku ọkụ na-enwu enwu, dịkwa ka ọwa na-enwu ọkụ.
Ọkụ na-esi n’etiti ihe ndị ahụ dị ndụ na-aga ihu na azụ, ọkụ ahụ nwupụrụ enwupụ,
amụma eluigwe sikwa na ya egbupụta. 14 Ihe ndị ahụ dị ndụ na-efegharị n’ebe a,
na-efegharịkwa n’ebe nke ọzọ, dịka mgbe amụma na-egbu.
15 Mgbe m na-ele ihe e kere eke dị ndụ ndị a anya, ahụrụ m ụkwụ ụgbọ agha anọ
nke dị n’ala n’okpuru ha. Onye ọbụla nwere nke ya. 16 Ụkwụ ụgbọala ahụ niile dị
ka ihe e ji nkume na-egbu maramara a na-akpọ beril† kpụọ. Nke ọbụla n’ime ha anọ
yikwara ibe ya. Ha niile dịkwa ka wịịlu a kpụrụ tinye n’etiti ụkwụ ụgbọala buru ibu.
17 Mgbe ha pụrụ, ha na-aga n’akụkụ anọ nke ha chere ihu ha, ma ụkwụ ụgbọ agha
ahụ adịghị echigharị echigharị mgbe ha na-aga. 18 Azụ ụkwụ ụgbọ agha ha dị elu,
dịkwa egwu. Anya jupụtakwara n’azụ ụkwụ ụgbọ agha ndị ahụ.
19 Mgbe ihe ndị a dị ndụ fepụrụ gaa n’ihu, ụkwụ ụgbọala ndị ahụ dị n’akụkụ ha
na-eso ha. Mgbe ha feliri elu, ụkwụ ndị ahụ na-esokwa. 20 Ebe ọbụla mmụọ ha jere,
ebe ahụ ka ha na-aga, ụkwụ ụgbọ agha ahụ na-esokwa ha, n’ihi na mmụọ nke anụ
ndị ahụ dị ndụ dị n’ụkwụ ụgbọ agha ndị ahụ. 21 Mgbe ha biliri, ndị ọzọ na-ebilikwa.
Mgbe ha guzoro otu ebe, ndị ọzọ na-eguzokwa. Mgbe ha feliri elu, ụkwụ ụgbọala ahụ
na-eso ha. N’ihi na mmụọ anụ ndị ahụ dị ndụ dị n’ime ụkwụ ụgbọ agha ndị ahụ.
22 A tụsara ihe sara mbara dịka mbara eluigwe n’elu isi ihe ndị ahụ dị ndụ. Ọ
na-eyi egwu, ma na-egbukwa nweghenweghe dịka kristal. 23 N’okpuru ihe ahụ ka ha
gbasapụrụ nku ha, ka ọ na-emetụ nke ibe ya. Ha niile n’otu n’otu nwere nku abụọ
nke na-ekpuchi ahụ ya. 24 Mgbe ha na-aga, nku ha na-eme mkpọtụ dị ka mkpọtụ ebili
mmiri na-amagharị amagharị. Mkpọtụ ahụ dịkwa ka ịda ụda nke olu Onye pụrụ ime

* **1:3** 1:3 Kaldịa bụkwa Babilọn † **1:16** 1:16 N’akwụkwọ ụfọdụ ị ga-ahụ topaazi

ihe niile, ka olu iti mkpu nke usuu ndị agha. Mgbe ọbụla ha guzoro, ha na-achịtu
nku ha.
[25] Mgbe ahụ ha kwụsịrị mechie nku ha olu sitere n'ime ihe ahụ dịka mbara eluigwe
nke dị n'elu isi ha na-abịa. [26] N'elu mbara eluigwe ahụ, o nwere ihe dịka ocheeze e
ji nkume dị oke ọnụahịa a na-akpọ safaia wuo. Otu onye, nke ụdịdị ya dị ka nwoke,
nọkwasịkwara n'elu oche ahụ. [27] Site n'ụkwụ ya ruo n'isi ya, ahụ onye ahụ na-egbu
maramara dịka ọkụ. Site n'ụkwụ ya ruo n'ukwu ya, ọ dị ka ọkụ na-enwu enwu,
ìhè nke na-enwukwa ka ọkụ gbara ya gburugburu. [28] Ìhè ahụ gbara ya gburugburu,
nke a na-ahụ anya, dịkwa ka ìhè eke na egwurugwu, nke a na-ahụ anya n'oge mmiri
na-ezo.
Otu a ka ebube ONYENWE ANỊ si gosi m onwe ya. Mgbe m hụrụ ya, adara m n'ala
kpuo ihu m n'ala. Mgbe ahụ, anụrụ m olu onye na-ekwu okwu.

# 2

*Ọkpụkpọ Izikiel*

[1] Ọ sịrị m, "Nwa nke mmadụ, bilie ọtọ, guzo n'ụkwụ gị abụọ, n'ihi na ana m aga
ịgwa gị okwu." [2] Mmụọ ahụ banyere n'ime m mgbe ahụ ọ na-ekwu okwu, mee ka m
guzo ọtọ n'ụkwụ m abụọ. Anụrụ m ka ọ gwara m okwu.
[3] Ọ sịrị m, "Nwa nke mmadụ, ana m eziga gị ka i jekwuru ndị Izrel, ndị bụ mba
na-enupu isi, ndị nupuru isi megide m. Ha na nna nna ha enupula isi megide m,
ruo ọ bụladị n'ụbọchị taa. [4] Ndị ahụ m na-eziga gị ka i jekwuru bụ ndị isiike na ndị
nnupu isi. Sị ha, 'Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANỊ na-ekwu.'
[5] Ma ha gere gị ntị, ma ha egeghị gị ntị (ha bụ ndị na-enupu isi), ihe dị mkpa bụ na ha
ga-amata na onye amụma anọọla n'etiti ha. [6] Ma gị nwa nke mmadụ, atụla ha egwu.
Ka ụjọ okwu si ha n'ọnụ ghara ịtụkwa gị. Atụla egwu, ọ bụladị ma a sị na ogwu na
uke gbara gị gburugburu, ọ bụladị ma a sị na i bi n'etiti ụmụ akpị. Ka ụjọ ghara ịtụ
gị n'ihi okwu ọnụ ha, ekwekwala ka ha menye gị egwu, n'ihi na ha bụ ndị na-enupu
isi. [7] Ị ghaghị izi ha ozi m ziri gị zie ha, ma ha gere ntị ma ha egeghị ntị, n'ihi na ha
bụ ndị na-enupu isi. [8] Ma gị, nwa nke mmadụ, gee ntị n'ihe m na-agwa gị. Enupula
isi dịka ha si nupu isi. Meghee ọnụ gị taa ihe m ga-etinye gị n'ọnụ."
[9] Otu mgbe ahụ, elere m anya hụ aka e setịpụrụ, nke ji akwụkwọ a fụkọrọ afụkọ,
[10] nke e dekwara ihe n'ime ya, ihu na azụ ya. Aka ahụ ji ya gbasapụrụ ya mee ka m
hụ ihe e dere n'ime ya. Ọ bụ okwu ịkwa akwa na iru ụjụ na ahụhụ.

# 3

[1] Ọ sịrị m, "Nwa nke mmadụ, rie ihe a m gaje inye gị. Taa akwụkwọ a a fụkọrọ
afụkọ; pụọ gaa gwa ụmụ Izrel okwu." [2] Ya mere, a saghere m ọnụ m, o nyere m
akwụkwọ ahụ a fụkọrọ afụkọ ka m rie.
[3] Ọ sịrị m, "Nwa nke mmadụ, taa akwụkwọ a niile m nyere gị, tajuo ya afọ gị."
Atara m ya. Ma mgbe m na-ata ya, ọ tọrọ m ụtọ n'ọnụ dịka a ga-asị na ọ bụ mmanụ
aṅụ.
[4] Ọ sịrị m, "Nwa nke mmadụ, bilie jekwuru ụmụ Izrel gwa ha okwu m niile. [5] N'ihi
na-ezighị m gị ka i jekwuru mba ndị okwu ha edoghị anya na ndị a naghị aghọta
asụsụ ha, kama ọ bụ ijekwuru ụlọ Izrel. [6] Ezikwaghị m gị ka i jekwuru mba nwere
asụsụ na-edoghị anya, nke ị na-adịghị aghọta okwu ha. N'ihi na a sị na ọ bụ ndị dị
otu a ka m zigara gị ka i jekwuru, ha gaara ege gị ntị. [7] Ma ụlọ Izrel agaghị ekwe
gee gị ntị, n'ihi na ha jụrụ ige m ntị. N'ihi na ụlọ Izrel bụ ndị obi ha siri ike, na ndị
isiike. [8] Lee, emeela m ka ihu gị sie ike karịa nke ha, ka egedege ihu gị siekwa ike
karịa nke ha. [9] Aga m emekwa ka egedege ihu gị dị ka nkume siri ike, sie ike karịa

nkume. N'ihi ya, atụla ha egwu; ọ bụ ezie na ha bụ ndị na-enupu isi, ma atụla ihu
ha egwu."
10 Ọ sịrị m, "Nwa nke mmadụ, gee ntị nke ọma n'okwu ndị a niile m na-agwa gị,
tinyekwa ha n'uche gị. 11 Jekwuru ndị gị a dọtara n'agha nọ na mba ọzọ, sị ha, 'Ihe
ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu,' Gwa ha ya, ma ha
gere gị ntị ma ha egeghị gị ntị."
12 Mgbe ahụ, Mmụọ ahụ buliri m elu. Anụrụ m olu mere oke ụzụ n'azụ m, mgbe
ebube nke ONYENWE ANYỊ sị n'ọnọdụ ya bilie. 13 Ọ bụ ụzụ nke nku ihe ndị ahụ dị
ndụ na-eme mgbe ha na-emetụrịta nku ibe ha; ọ bụkwa ụzụ ụkwụ wịịlụ ha nke dị
n'akụkụ ha. 14 Mmụọ ahụ buliri m, bupụ m. Ejegharịrị m n'obi ilu na iwe nke mmụọ
m, ebe aka ONYENWE ANYỊ dịkwa ike n'ahụ m. 15 A bịakwutere m ndị ahụ a dọọrọ
n'agha, ha aga biri na Tel Abib* n'akụkụ osimiri Keba. N'ebe ahụ, bụ ebe ha na-ebi,
anọdụrụ m n'etiti ha abalị asaa, n'ọnọdụ obi ilu na ọnụma.

### *Ọrụ Izikiel dịka onye nche*

16 Mgbe abalị asaa gasịrị, okwu ONYENWE ANYỊ bịakwutere m, 17 "Nwa nke mmadụ,
emeela m gị ka ị bụrụ onye nche nye ụlọ Izrel. N'ihi ya, gee ntị n'ihe m na-ekwu, ka ị
dọọrọ m ha aka na ntị. 18 Mgbe m na-asị onye ajọ omume, 'Ị ghaghị ịnwụ,' ma ọ bụrụ
na ị dọghị ya aka na ntị, maọbụ ị kwughị okwu ime ka ha chigharịa site n'ụzọ ọjọọ
ha niile pụta n'ihi ịzọpụta ndụ ha, onye ahụ na-emebi iwu ga-anwụ n'ihi mmehie ya
niile, ma n'aka gị ka m ga-ajụta ọbara ha. 19 Ma ọ bụrụ na ị dọọ onye ajọ omume aka
na ntị, ma ha esighị n'ajọ omume maọbụ n'ụzọ ọjọọ ha niile chigharịa, ha ga-anwụ
n'ihi mmehie, ma ndụ gị ka ị zọpụtara.
20 "Ma ọ bụrụ na onye ezi omume esite n'ụzọ ezi omume ya wezuga onwe ya bido
ime ihe ọjọọ, m siere ha ọnya,† ha ga-anwụ n'ihi na ị dọghị ha aka na ntị, ha ga-
anwụ n'ihi mmehie ha. Agaghịkwa echeta ihe ọma niile ndị ha mere, ma ị ga-aza
ajụjụ maka ọnwụ ha. 21 Ma ọ bụrụ na ị dọọ onye ezi omume aka na ntị ka ọ ghara
ime mmehie, ha gharakwa ime mmehie, ha ga-adị ndụ n'ihi na ha nabatara ịdọ aka
na ntị ahụ. Gị onwe gị azọpụtakwala ndụ gị, n'ụzọ dị otu a."
22 Aka ONYENWE ANYỊ dịgidesịrị ike n'ahụ m n'ebe ahụ. Ma ọ sịrị m, "Bilie gaa
n'ebe ahụ obosara ala dị ka m gwa gị okwu n'ebe ahụ," 23 Ebiliri m gaa n'ebe ahụ
ala dị larịị. Ebube Onyenwe anyị guzo n'ebe ahụ dịka ebube nke m hụrụ n'akụkụ iyi
Keba. Adara m kpuo ihu m n'ala.
24 Mgbe ahụ, Mmụọ ahụ banyere n'ime m mee ka m guzo ọtọ n'ụkwụ m abụọ. Ọ
gwara m okwu sị m, "Gaa, baa n'ụlọ, mechibido onwe gị ụzọ. 25 Ma gị, nwa nke
mmadụ, a ga-eji ụdọ kee gị ka ị ghara inwe ike ịpụ gaa n'etiti ndị mmadụ. 26 Aga m
eme ka ire gị rapara n'akpo ọnụ gị, ka ị ghọọ onye ogbi, gharakwa ịbụ onye na-adọ
ha aka na ntị, n'ihi na ha bụ ndị na-enupu isi. 27 Ma mgbe ọbụla m ziri gị ozi, aga
m atọghepụ ire gị. Ị ga-asịkwa ha, 'Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwuru.' Ka onye nwere ntị nụrụ, ka onye nke na-achọghị ịnụ ghara ịnụ, n'ihi
na ha bụ ndị na-enupu isi.

## 4

### *Ndị iro gbara Jerusalem gburugburu*

1 "Ugbu a, gị nwa nke mmadụ, were otu ọkpụrụkpụ aja, tọgbọ ya n'ihu gị.
Sepụtakwa obodo Jerusalem n'elu ya. 2 Seekwa ihe nnọchigide n'agha megide ya,
wuokwa ụlọ ndị agha gburugburu ya, wukọta ụlọ ikwu dị iche iche megide ya na ihe
e ji akụdasị mgbidi ya niile. 3 Werekwa efere igwe debe n'etiti gị na obodo ahụ dịka

* **3:15** 3:15 N'ime akwụkwọ ụfọdụ aha ị ga-ahụ bụ Tel Aviv † **3:20** 3:20 Itinye ihe ịsọ ngọngọ n'ụzọ mmadụ

mgbidi e ji igwe wuo. Chee obodo ahụ ihu gị, ka ị chegide ya nke ọma n'ihi na ndị
iro gbara ya gburugburu. Nke a ga-abụ ihe ama nye ndị Izrel.
4 "Ugbu a, dinara ala n'akụkụ aka ekpe gị, aga m enye gị ntaramahụhụ mmehie
ndị Izrel, ị ga-ata ahụhụ mmehie ha ụbọchị niile nke ị ga-edina n'akụkụ gị. 5 N'ihi
na ana m enye gị narị ụbọchị atọ na iri ụbọchị itoolu, ọnụọgụgụ nke a na ọnụọgụgụ
nke afọ ntaramahụhụ ha ga-abụ otu, ọ bụ oge ha. Otu a ka ị ga-esi buru mmehie
Izrel.
6 "Mgbe i mesịrị nke a, ị ga-edina ala nke ugboro abụọ, ma ọ ga-abụ n'akụkụ aka
nri gị, ị ga-eburu ntaramahụhụ mmehie ndị Juda. Ọ bụ iri abalị anọ, otu ụbọchị
ga-anọchi anya otu afọ. 7 Chee ihu gị n'ebe nnọchibido Jerusalem, gbara aka nkịtị
buo amụma megide ya. 8 Aga m eke gị eriri ahụ gị niile, ka ị ghara inwe ike tụgharịa
site n'otu akụkụ gaa n'akụkụ nke ọzọ tutu ụbọchị nnọchigide gị ahụ niile ezuo.
9 "Ma gị were ọka wiiti na ọka balị, werekwa akịdị na lentil, na ọka milet na spelti.
Tinyekọta ha n'otu ite were ha meere onwe gị achịcha. N'ụbọchị ole ahụ niile nke
ị ga-edina n'akụkụ gị, narị ụbọchị atọ na iri ụbọchị itoolu, ọ bụ ya ka ị ga-eri. 10 A
ga-atụ ihe oriri gị atụ, nri nke ị ga-eri otu mgbe ga-abụ narị gram abụọ na iri gram
atọ; naanị otu mgbe ka ị ga-eri nri n'ụbọchị. 11 A ga-ekupụtakwa mmiri ị ga-aṅụ, ị
ga-aṅụ mmiri naanị otu ugboro n'ụbọchị, otu udu mmiri e kere ụzọ isii.* 12 Ị ga-eri
ya dịka ogbe achịcha ọka balị, ị ga-eghe ya n'elu nsị mmadụ kpọrọ nkụ mgbe ndị
mmadụ nọ na-ele gị anya." 13 ONYENWE ANYỊ kwuru, "Otu a ka ndị Izrel ga-esi rie nri
rụrụ arụ, n'etiti mba dị iche iche ebe m ga-achụga ha."
14 Mgbe ahụ, asịrị m, "E e, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ lee,
emerụbeghị m onwe m site na nwantakịrị m ruo ugbu a, eribeghị ihe ọbụla nwụrụ
n'onwe ya, maọbụ nke anụ ọhịa dọgburu, anụ na-adịghị ọcha abatụbeghị m n'ọnụ."
15 Ọ sịrị, "Ọ dị mma, aga m enye gị nsị ehi n'ọnọdụ nke mmadụ, n'elu ya ka ị
ga-akwado achịcha gị."
16 Mgbe ahụ, ọ gwara m, "Nwa nke mmadụ, lee, aga m eme ka nri kọ na Jerusalem;
ha ga-eji nchegbu rie nri a tụpụtara atụpụta, jirikwa egwu ṅụọ mmiri e kupụtara
ekupụta. 17 Aga m eme ka ihe oriri na mmiri ọṅụṅụ kọọ ha. Ha ga na-elerịta onwe
ha anya n'oke egwu, ha ga-anwụkwa n'ihi mmehie ha."

# 5

### *Agụba nke ikpe ọmụma Chineke*

1 "Ma gị, nwa nke mmadụ, were mma agha dị nkọ dịka agụba onye ọkpụisi,
kpụchaa isi gị na afụọnụ gị; werekwa ihe e ji atụ ihe ọtụtụ tụọ agịrị isi gị, ka ụzọ
ọbụla hara n'otu. 2 Ị ga-ewere otu ụzọ n'ụzọ atọ, kpọọ ya ọkụ n'etiti obodo ahụ mgbe
ụbọchị nke nnọchigide ahụ zuru; ị ga-ewere otu ụzọ, jiri mma agha chabichaa ya
gburugburu obodo ahụ, otu ụzọ nke ọzọ ka ị ga-efesacha n'ikuku. N'ihi na aga m eji
mma agha chụsachaa ha. 3 Ma ị ga-esite n'ime ya wepụta agịrị isi dị ole na ole, kedo
ha n'ọnụ ọnụ uwe gị. 4 Ọzọkwa, site na ndị a, ị ga-ewere ụfọdụ tụnye ha n'ime ọkụ
ka ha ree ọkụ, site na ha ka ọkụ ga-esi banye n'ụlọ Izrel niile.
5 "Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, Nke a bụ Jerusalem,
obodo m mere ka ọ dịrị n'etiti mba dị n'ụwa, nke mba dị iche iche gbara gburugburu.
6 Ma o sitela n'ajọ omume ya, nupu isi n'iwu na ụkpụrụ m nyere, karịa mba na
obodo ndị ọzọ ahụ niile gbara ya gburugburu. Ọ jụkwara idebe iwu m, jụkwa ịgbaso
ụkpụrụ m.
7 "N'ihi ya, ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Ị
bụrụla onye nnupu isi karịa mba niile ndị gbara gị gburugburu. Ị jụkwara idebe iwu

* **4:11** 4:11 Nke a bụ otu ụzọ site n'ụzọ isii nke e kere otu lita mmiri.

m na ịgbaso ụkpụrụ m, ọ bụghịkwa dịka iwu na atụmatụ nke mba dị iche iche nọ
gị gburugburu ka ị mere.
8 “Ya mere, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị, Mụ onwe m, ọ
bụladị mụ onwe m, ga-emegide gị bụ Jerusalem, kpee gị ikpe n’ihu mba niile. 9 N’ihi
ihe arụ gị niile, aga m eme gị ihe m na-emebeghị mbụ, nke m agaghị emekwa ọzọ.
10 N’ihi nke a, ndị bụ nna ga-eri ụmụ ha n’etiti gị, ụmụ ga-erikwa ndị nna ha. Aga m
ekpe gị ikpe mee ka ndị fọdụrụ ndụ gbasasịa n’ụwa niile. 11 Ya mere, dịka mụ onwe
m na-adị ndụ, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara, ebe
ọ bụ na i jirila oyiyi ihe arụ na omume rụrụ arụ merụọ ụlọ m, aga m esite n’ebe
ị nọ wezuga ịhụnanya m. Agaghị m emekwara gị ebere maọbụ hapụ ịta gị ahụhụ.
12 Otu ụzọ n’ime ụzọ atọ nke ndị bi n’ime gị ga-anwụ site n’agụụ maọbụ na ọrịa; otu
ụzọ ga-anwụ site na mma agha nke ndị iro nọ n’azụ mgbidi gị, otu ụzọ fọdụrụ ka a
ga-achụsa n’ifufe, a ga-eji mma agha ndị iro chụsasịa ha.
13 “Mgbe ahụ, iwe m ga-akwụsị, ọnụma m megide ha ga-adajụkwa, na nke a ka
a ga-abọrọ m ọbọ. Ha ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ kwuru okwu site
n’ekworo mgbe m mezuru ọnụma m n’ahụ ha.
14 “N’ihi ya, aga m eme ka ị bụrụ ihe e bibiri ebibi, na ihe e ji eme ihe ọchị nye
mba niile gbara gị gburugburu, na n’ihu ndị na-agafe n’ụzọ ahụ. 15 Ị ga-abụ ihe e
ji eme ihe ọchị na ihe nkọcha nye mba dị iche iche gbara gị gburugburu, mgbe m
ga-eji iwe na obi ọkụ na ntaramahụhụ dị egwu kpee gị ikpe, mụ onwe m bụ ONYENWE
ANYỊ ekwuola. 16 Mgbe m gbara gị àkụ ọjọọ ahụ na-eweta ọnwụ na ịla n’iyi, bụ àkụ
nke oke ụnwụ, aga m agba gị ya, gbajaa gị. Aga m anọgide na-ezite ụnwụ tutu ruo
mgbe e mere ka ihe oriri kọọ gị. 17 Aga m ezitere gị oke ụnwụ na ajọ anụ ọhịa, ha
ga-agbawa gị aka nwa, ọrịa ọjọọ na ọbara ga-esi n’etiti gị gafee; aga m eji mma agha
megide gị. Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola.”

# 6

*Mbibi dịrị ugwu Izrel niile*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 2 “Nwa nke mmadụ, chee iru gị n’ugwu niile
nke n’Izrel, buo amụma megide ha, 3 sị, ‘Unu ugwu niile nke Izrel, nụrụnụ okwu
nke Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ. Otu a ka Onye kachasị ihe niile
elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị nye ugwu ukwu na ugwu nta niile, na iyi mmiri niile, na
ndagwurugwu niile. Mụ, ọ bụladị mụ onwe m, ga-eme ka agha bịakwasị unu, aga
m ebibikwa ebe dị iche iche unu na-achụ aja. 4 A ga-etikpọ ebe ịchụ aja unu, tipịa
ebe unu na-anọ esure ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ. Aga m atụsa ndị unu e gburu
egbu n’ihu arụsị unu. 5 Aga m atọgbọ ozu ndị Izrel n’ihu arụsị ha. Aga m aghasakwa
ọkpụkpụ unu gburugburu ebe ịchụ aja unu. 6 Ebe ọbụla unu bi, a ga-etikpọ obodo ndị
ahụ, tipịakwa ebe ịchụ aja niile, si otu a mee ka ebe ịchụ aja unu ghọọ mkpọmkpọ
ebe nke tọgbọrọ n’efu. A ga-etipịakwa arụsị unu, kụjiekwa ebe unu na-anọ esure
ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ. Ihe niile unu ji aka unu mepụta ka a ga-ekpochapụkwa.
7 Ndị e gburu egbu ga-ada n’etiti unu, unu ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE
ANYỊ.
8 “ ‘Ma aga m eme ka ụfọdụ n’ime ndị m fọdụ. Ndị ahụ fọdụrụ ga-esi n’ihu mma
agha gbapụ, gbasasịa n’ala niile, na mba niile nke ụwa. 9 Mgbe ha nọ dịka ndị a
dọtara n’agha na mba ọzọ, ndị ahụ gbapụrụ ọsọ ga-echeta m. Ha ga-echeta otu ha si
jiri obi nke ịkwa iko jupụtara n’ime ya, nke si n’ebe m nọ wezuga onwe ya, na anya
nke na-agbaso arụsị ha, mee ka obi jọọ m njọ. Ha ga-akpọ onwe ha asị n’ihi ihe ọjọọ
ndị ahụ ha mere, ya na ọchụchụ aja rụrụ arụ ha chụrụ. 10 Ha ga-amata na m bụ
ONYENWE ANYỊ, matakwa na mgbe m gwara ha na ihe ndị a niile gaje ịbịakwasị ha,
na ọ bụghị okwu efu ka m kwuru.

[11] “ ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị, kụkọọ ọbọ aka gị
abụọ ọnụ, zọkwaa ụkwụ gị n’ala, ma tisikwaa mkpu akwa ike site n’obi mwute, n’ihi
ihe ọjọọ niile na omume rụrụ arụ ndị Izrel mere. N’ihi na ha ga ịla n’iyi site n’oke
ụnwụ, na site n’agha, na site n’ọrịa na-efe efe. [12] Ndị nọ n’ebe dị anya ga-anwụ site
n’ọrịa na-efe efe, ndị nọ nso ga-anwụ site na mma agha, ndị fọdụrụ ndụ ga-anwụ site
n’agụụ. Aga m eme ka ha nụrụ ụfụ oke iwe m. [13] Unu ga-amata na mụ onwe m bụ
Onyenwe anyị, mgbe ozu ndị e gburu egbu ga-atọgbọsị n’etiti arụsị niile, na n’ebe
ịchụ aja niile, na n’ugwu nta niile, na n’ugwu ukwu niile, na n’okpuru osisi ọbụla,
na n’okpuru osisi ook niile, ebe ha na-anọ na-esure ụda na-esi isi ụtọ nye arụsị ha.
[14] E, aga m esetipụ aka m megide ha, mee ka ala ha laa n’iyi, n’ebe niile ha bi, site
n’ọzara* ruo na Ribla. Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị.’ ”

# 7

*Ọgwụgwụ abịala*

[1] Okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, [2] “Ma gị onwe gị, Nwa nke mmadụ, nke a bụ
ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị ala Izrel:

“ ‘Ọgwụgwụ!
Ọgwụgwụ abịakwasịla akụkụ anọ nke ala ahụ.
[3] Ugbu a ka ọgwụgwụ bịakwasịrị unu.
Lee, aga m eme ka iwe m bịakwasị unu;
aga m ekpe unu ikpe dịka omume unu si dị,
aga m ata unu ahụhụ maka arụ unu niile.
[4] Agaghị m enwekwa ọmịiko n’ebe ị nọ,
agaghị m emekwara gị ebere,
kama aga m ata unu ahụhụ maka omume unu
na arụ niile dị n’etiti unu.

“ ‘Mgbe ahụ, unu ga-amata na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị.’

[5] “Nke a bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị,
“ ‘Oke mbibi, oke mbibi nke a na-anụbeghị ụdị ya mbụ.
Lee, ka ọ na-abịa.
[6] Ọgwụgwụ abịala!
Ọgwụgwụ abịala!
Ọ kpalitela onwe ya imegide unu.
Lee, ka ọ na-abịa!
[7] Oke nsogbu abịakwasịla gị,
gị onwe gị bi n’ala ahụ.
Oge ahụ abịala! Ụbọchị ahụ dịkwa nso!
Ọgbaaghara dị ebe niile, ọ bụghị ọṅụ dị n’elu ugwu niile.
[8] Ejikerela m ịwụkwasị gị ọnụma m n’ahụ
mee ka oke iwe m zuo gị ahụ niile.
Aga m ekpe gị ikpe dịka omume gị si dị,
kwụghachikwa gị n’ihi ibi ndụ rụrụ arụ gị niile.
[9] Agaghị m emere gị ebere,
agakwaghị m ahapụ ịta gị ahụhụ.
Aga m akwụghachi gị dịka omume gị si dị,
kwụghachikwa gị n’ihi ibi ndụ rụrụ arụ niile nke dị n’etiti unu.

* **6:14** 6:14 Maọbụ, mbara ịkpa

" 'Mgbe ahụ, ị ga-amata na ọ bụ mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, na-eti unu ihe ndị a.
10 " 'Lee, ụbọchị ahụ!
Lee, ka ọ na-abịa!
Oke nsogbu enupụtala,
mkpanaka agbala okoko
nganga amaala ifuru!*
11 Ihe ike ebilitala,
mkpọrọ eji ata ndị ajọ omume ahụhụ.
O nweghị onye ọbụla n'ime ha nke ga-afọdụ,
maọbụ igwe mmadụ
maọbụ ụba ha,
o nweghịkwa nke bara uru.
12 Mgbe ahụ abịala!
Ụbọchị ahụ abịakwala nso.
Ka onye na-azụ ahịa ghara ịńụrị ọńụ
ka onye na-ere ere ghara iru ụjụ,
n'ihi na ọnụma ahụ dịrị igwe mmadụ niile.
13 Onye rere ahịa agaghị enwetaghachi
ngwa ahịa nke erere ere
ọ bụladị dịka onye rere na onye zụrụ na-adị ndụ.
N'ihi na ọhụ nke a gbasara igwe mmadụ niile
bụ nke a na-apụghị ịgbanwe.
N'ihi mmehie ha niile, o nweghị onye n'ime ha
nke pụrụ ichebe ndụ ya.

14 " 'Ha afụọla opi ike,
ha edoziela ihe niile
ma o nweghị onye ga-aga ibu agha
n'ihi na ọnụma m dịkwasịrị igwe mmadụ ahụ niile.
15 Mma agha dị n'ezi;
ajọ ọrịa na-efe efe na ụnwụ dịkwa n'ime.
Onye nọ n'ọhịa
ga-anwụ site na mma agha,
ndị nọ n'ime obodo ukwu
ka ụnwụ na ọrịa na-efe efe ga-eripịa.
16 Ma ndị gbapụrụ agbapụ
ga-agbaga nọrọ n'ugwu.
Ọ bụ dịka nduru nke ndagwurugwu,
ha niile ga-asụ ude akwa,
onye ọbụla n'ihi mmehie ha.
17 Aka niile ga-akụda,
ikpere niile ka a ga-eji amịrị nyụdee.
18 Ha ga-eyikwasị akwa mkpe,
oke ihe egwu ga-ekpuchi ha.
Ọ bụkwa ihu niile ka ihere ga-ekpuchi,
a ga-akpụchakwa isi niile.

19 " 'Ha ga-etufu ọlaọcha ha niile n'okporoụzọ niile,
ọlaedo ha ga-aghọkwa ihe na-adịghị ọcha.

* **7:10** 7:10 Ya bụ, na nganga na-abawanye

Ọlaọcha na ọlaedo ha
agaghị enwe ike napụta ha
n'ụbọchị nrubiga oke nke oke iwe ONYENWE ANYỊ.
Ha agaghị eme ka agụ gharakwa ịgụ ha,
maọbụ mee ka afọ ju ha,
n'ihi na ọ bụụrụ ha ihe ịsọ ngọngọ nke ịdaba na mmehie.
20 Ihe ịchọ mma ha ghọọrọ ha ihe ịkpa nganga,
ha jikwa ya mepụta arụsị rụrụ arụ ha dị iche iche.
Ha ji ya metakwa oyiyi ihe arụ niile jọgburu onwe ya;
ya mere, aga m eme ka ọ bụụrụ ha ihe rụrụ arụ.
21 Aga m ewere akụnụba ha nye ndị mba ọzọ dịka ihe apụnatara n'agha,
nyekwa ya ndị ajọ omume nke ụwa dịka ihe nkwata
ndị ga-emerụ ya.
22 Aga m esite n'ebe ha nọ wezuga ihu m
ndị ohi ga-emerụkwa ebe ahụ m kpọrọ ihe dị oke ọnụahịa.
Ha ga-abata n'ime ya
merụọkwa ya.

23 " 'Kwadoonụ ụdọ igwe.
N'ihi na ala ha jupụtara n'igbu ọchụ na ịwụsa ọbara,
obodo ahụ jupụtara n'ihe ike.
24 Aga m akpọta mba ndị ahụ jọgburu onwe ha
ka ha bịa nwetara onwe ha ụlọ ha niile.
Aga m eme ka mpako nke ndị bụ dike kwụsị,
meekwa ka ebe nsọ ha niile bụrụ ebe e merụrụ emerụ.
25 Mgbe ihe mmekpa ahụ bịara,
ha ga-achọ udo ma o nweghị nke ga-adị.
26 Mbibi ga-esochi mbibi,
akụkọ na-enweghị isi ga-esochikwa akụkọ na-enweghị isi.
Ha ga-agagharị na-achọ ọhụ site n'aka onye amụma,
ntụziaka onye nchụaja ga-akwụsị,
ndụmọdụ nke ndị okenye agaghị adịkwa.
27 Eze ga-eru ụjụ,
nwa eze ga-eyikwasị ịda mba nke obi dịka uwe,
aka ga-ama ndị ala ahụ niile jijiji n'ihi egwu.
Aga m emeso ha dịka omume ha si dị,
aga m ekpekwa ha ikpe dịka ihe ha kwenyeere si dị.

" 'Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.' "

# 8

## *Ikpere arụsị n'ụlọ ukwu*

1 N'afọ nke isii, n'ọnwa nke isii, n'ụbọchị nke ise nke ọnwa ahụ, mgbe mụ
onwe m nọdụ ala n'ụlọ m, ndị okenye Juda na-anọdụkwa ala n'ihu m, aka Onye
kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ dịkwasịrị m n'ahụ n'ebe ahụ. 2 Ahụrụ m
oyiyi yiri mmadụ. Akụkụ oyiyi a nke dị site n'ụkwụ ya ruo n'ala ya na-acha dịka
ọkụ, sitekwanụ n'ụkwụ ya rigoo, ọ na-egbu nnọọ amụma dịka nkume amba dị oke
ọnụahịa. 3 Oyiyi a setịpụrụ ihe dịka aka mmadụ, jiri ya jide m n'agịrị isi m. Mgbe
ahụ, Mmụọ nke Chineke buliri m elu n'etiti ala na mbara eluigwe. N'ime ọhụ nke
Chineke, o buuru m jee Jerusalem, n'ọnụ ụzọ ama nke dị n'ugwu, n'ime ogige ya,

ebe arụsị ahụ na-akpasu ekworo guzo. 4 Ma, lee, ebube Chineke Izrel jupụtara n’ebe
ahụ, dị ka m si hụ ya na mbụ na ndagwurugwu.

5 Ọ sịrị m, “Nwa nke mmadụ, welie anya gị lee n’ụzọ nke ugwu.” Eweliri m anya
m lee n’ụzọ ugwu, ma lee, n’ọnụ ụzọ e si abata n’ime ebe ịchụ aja, ahụrụ m oyiyi
arụsị ekworo ka o guzo n’akụkụ ugwu ya.

6 Ọ sịrị m, “Nwa nke mmadụ, ị na-ahụ ihe ha na-eme, arụ dị egwu nke ụlọ Izrel
na-eme n’ebe a, ihe ndị ga-achụpụ m n’ebe dị anya site n’ebe nsọ m? Ma ị ga-ahụkwa
ihe arụ ndị dị ukwuu karịa ndị a.”

7 O mere ka m guzo n’ọnụ ụzọ ogige ahụ, mgbe m lere anya, ahụrụ m oghere dị
n’aja ụlọ ahụ. 8 Ọ sịrị m, “Nwa nke mmadụ, ugbu a gwupuo aja ụlọ a.” Mgbe m
gwupuru ya, ahụrụ m ọnụ ụzọ e si aba n’ebe ahụ.

9 Ọ sịrị m, “Banye n’ime ka ị hụ ihe arụ ọjọọ niile nke ha na-eme n’ebe a.”
10 Abanyere m hụ na ihe jupụtara n’ahụ ụlọ ahụ bụ naanị oyiyi e sere ese, nke
ihe na-akpụ akpụ dịka agwọ dị iche iche, ngwere na anụmanụ rụrụ arụ dị iche iche,
tinyekwara arụsị niile nke ụlọ Izrel na-efe. 11 N’ihu ihe ndị a, ka iri ndị okenye asaa
nke ụlọ Izrel, ha na Jaazanaya nwa Shefan guzo n’ebe ahụ. Onye ọbụla n’ime ha ji ihe
nsure ọkụ na-esi isi ụtọ n’aka ya, anwụrụ ọkụ si n’ihe nsure ọkụ ndị a na-agbagokwa
elu.

12 Ọ sịrị m, “Nwa nke mmadụ, ị hụla ihe ndị okenye ụlọ Izrel na-eme n’ọchịchịrị,
onye ọbụla n’ime ụlọ ya n’ihu arụsị ya? Ma ha na-asị, ‘Onyenwe anyị adịghị ahụ
anyị, O sitela n’ala anyị wezuga onwe ya.’ ” 13 Ọzọ, ọ sịrị m, “Ị ga-ahụkwa oke ihe
arụ karịrị ndị a ha na-eme!”

14 O mere ka m bịakwa n’ọnụ ụzọ ahụ dị n’akụkụ ugwu nke ụlọnsọ nke Onyenwe
anyị. N’ebe ahụ, ahụrụ m ndị inyom nọ na-akwa akwa n’ihi Tamuz, chi ha. 15 Mgbe
ahụ, ọ sịrị m, “Ị hụla ihe ndị a, nwa nke mmadụ? Ị ga-ahụkwa ihe arụ ndị dị ukwuu
karịa ndị a.”

16 O mere ka m baa n’ime ogige dị n’ime ụlọ ukwu nke Onyenwe anyị, n’ebe ahụ,
n’ọnụ ụzọ ụlọnsọ ukwu nke Onyenwe anyị, n’agbata ebe ịchụ aja na mpụta ọnụ ụlọ
ahụ, ka ihe ruru iri mmadụ abụọ na ise guzo, chee ihu ha n’akụkụ ọwụwa anyanwụ
na-efe anyanwụ. Ha gbakụtara ụlọnsọ ukwu nke Onyenwe anyị azụ mgbe ha na-eche
ihu n’ọwụwa anyanwụ na-akpọ isiala nye anyanwụ.

17 Ọ sịrị m, “Ị hụla nke a, nwa nke mmadụ? Ọ bụ ihe dị nta nye ụlọ Juda, bụ ime
ihe arụ niile ndị a ha na-eme n’ebe a? Ha ga-ejikwa ihe ike mejupụta ala, siri otu a
na-akpasu m iwe mgbe niile? Lee ka ha si nọgide na-akparị m, na-etinye alaka n’imi
ha. 18 N’ihi ya, aga m eme ka ha nụrụ ụfụ iwe m, ọ dịkwaghị onye m ga-ahapụ. Ọ
bụrụkwa na ha anọgide na-ebe akwa n’oke olu, agaghị m aṅa ha ntị.”

# 9

*Ikpe ọmụma dịrị ndị na-ekpere arụsị*

1 Mgbe ahụ, a nụrụ m ka o ji oke olu kpọọ oku sị, “Bịanụ nso, unu bụ ndị ahọpụtara
ilekọta obodo a, onye ọbụla jidekwa ngwa agha n’aka ya.” 2 A hụrụ m ndị ikom isii si
n’ọnụ ụzọ ama nke dị n’akụkụ ebe dị elu na-apụta, nke chere ihu n’ugwu, onye ọbụla
jikwa mma agha n’aka ya. Otu onye n’ime ha yi uwe akwa ọcha, nyarakwa nwa akpa
nke ihe e ji ede akwụkwọ dị n’ime ya. Ha niile batara n’ime ụlọnsọ, guzokwa n’akụkụ
ebe ịchụ aja e ji bronz wuo.

3 Ma ebube nke Chineke Izrel sitere n’elu cherubim ndị ahụ, ebe ọ nọ na mbụ, bilie
bịa guzokwa n’ọnụ ụzọ ụlọnsọ ahụ. Mgbe ahụ, Onyenwe anyị kpọrọ nwoke ahụ yi
uwe akwa ọcha bụ onye nya akpa ahụ nke ihe e ji ede ihe dị n’ime ya, 4 ọ sịrị ya,
“Bilie, jegharịa n’okporoụzọ niile nke obodo Jerusalem, kakwasị akara n’egedege ihu

ndị niile na-akwa akwa na ndị niile na-asụ ude n'ihi ihe arụ niile nke a na-eme n'ime
ya."
5 Anụkwara m ka ọ gwara ndị ọzọ, "Soronụ ya baa n'ime obodo, gbukwaanụ, unu
emekwarala onye ọbụla ebere maọbụ ọmịiko. 6 Gbuonụ ha niile, ndị okenye, na ụmụ
okorobịa, na ụmụ agbọghọbịa, na ndị inyom, na ụmụntakịrị. Ma unu emetụkwala
onye ọbụla nwere akara ahụ n'ihu ya. Malitenụ n'ebe a, n'ime ụlọnsọ ukwu m." Ya
mere, ha malitere igbu ndị okenye ndị nọ n'ihu ụlọnsọ.
7 Ọ sịkwara ha, "Merụọnụ ụlọnsọ a! Werekwanụ ozu ndị unu gburu egbu tụjuo
n'ime ogige ya! Gaanụ!" Ha pụrụ baa n'ime obodo, bido igbu ndị mmadụ. 8 Mgbe
ha nọ na-egbu ndị mmadụ maọbụ naanị m fọdụrụ, adara m n'ala kpuchie ihu m, tie
mkpu akwa, sị, "Ewoo, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị! Ị ga-esite n'oke
iwe ị na-eweso Jerusalem bibie ihe niile fọdụrụ n'Izrel?"
9 Ọ sịrị m, "Mmehie niile nke ụlọ Izrel na Juda dị ukwuu rie nne. Ala niile
jupụtakwara n'ọbara ndị egburu, obodo jupụtakwara n'ikpe ikpe na-ezighị ezi. N'ihi
na ha na-asị, 'Onyenwe anyị esitela n'ala anyị wezuga onwe ya. Ọ dịghị ihe Onyenwe
anyị na-ahụ.' 10 N'ihi ya, agaghị m ahapụ ha, agakwaghị m enwe ọmịiko n'ahụ ha.
Aga m akwụghachi ha n'ihi ihe ọjọọ niile ha mere."
11 Mgbe ahụ, nwoke ahụ yi uwe akwa ọcha, nke nya akpa nke ihe e ji ede akwụkwọ
dị n'ime ya, lọghachiri sị, "Arụchaala m ọrụ i nyere m ịrụ."

# 10

*Ebube Chineke apụọ*

1 Mgbe ahụ, elere m anya hụ ocheeze ọma e ji nkume safaia wuo ka ọ pụtara ihe
na mbara eluigwe, n'elu ebe ahụ isi cherubim ndị ahụ dị. 2 Mgbe ahụ, Onyenwe
anyị sịrị nwoke ahụ yi uwe akwa ọcha, "Baa n'etiti ụkwụ ụgbọala ahụ dị n'okpuru
cherubim ndị ahụ. Site n'etiti cherubim ndị ahụ kpojuo icheku ọkụ nke na-ere ere
n'aka gị, fesachaa ha n'ime obodo ahụ niile." Ọ bara n'ime ka m n'ele ya anya.
3 Cherubim ndị ahụ na-eguzo n'akụkụ ndịda nke ụlọnsọ ahụ mgbe nwoke ahụ
banyere. Igwe ojii jupụtakwara n'ogige ime ụlọnsọ ahụ. 4 Mgbe ahụ, ebube Onyenwe
anyị sitere n'elu cherubim bilie, bịa guzo n'ọnụ ụzọ ụlọnsọ ahụ. Ụlọnsọ ahụ
jupụtakwara n'igwe ojii, ihe nke ebube Onyenwe anyị jupụtakwara n'ogige ụlọnsọ
ahụ. 5 Ụzụ nke nku cherubim ndị ahụ na-eme dịkwa ka olu Chineke Onye pụrụ ime
ihe niile. A na-anụkwa ụzụ nku ndị ahụ n'ogige ụlọnsọ ahụ dị n'ezi.
6 Mgbe Onyenwe anyị nyere nwoke ahụ yi uwe ezi akwa ọcha iwu, sị, "Gaa n'etiti
cherubim ahụ gụta ụfọdụ icheku ọkụ dị n'etiti wịịlu ụgbọala ahụ," nwoke ahụ
banyere guzo n'akụkụ otu wịịlu ahụ. 7 Mgbe ahụ, otu n'ime ndị cherubim ahụ
setịpụrụ aka ya n'ebe ọkụ ahụ dị n'etiti ha. Ọ gụtara ụfọdụ icheku ọkụ tinye n'aka
nwoke ahụ yi uwe akwa ọcha onye weere ya pụọ. 8 N'okpuru nku ndị cherubim ahụ
ka a na-ahụta ihe yiri aka mmadụ.
9 Elere m anya hụ wịịlu anọ, nke dị n'akụkụ cherubim ndị ahụ. Cherubim ọbụla
nwere otu wịịlu n'akụkụ ya. Wịịlu ndị a niile na-egbu maramara dịka nkume beril.
10 Wịịlu anọ ndị ahụ yiri onwe ha. Nke ọbụla n'ime ha dịka wịịlu a rụnyere n'etiti
wịịlu ọzọ. 11 Mgbe ha na-aga, ha niile na-eche ihu n'akụkụ ọbụla nke cherubim
ndị ahụ chere ihu. Wịịlu ndị a adịghị echigharị echigharị mgbe cherubim ndị a na-
agagharị. Kama ebe isi cherubim ndị ahụ chere ihu ka wịịlu ndị ahụ na-aga. Ha
adịghị elekwa* anya n'azụ dịka ha na-aga. 12 Gburugburu ha, n'anụ ahụ ha niile,
ma n'azụ ha, ma n'aka ha, ma na nku ha, ma na wịịlu ndị ahụ, ihe jupụtara ha bụ
anya. Anya dị n'akụkụ ha niile. 13 Aha m nụrụ a na-akpọ wịịlu ndị ahụ bụ, Ọgba

* **10:11** 10:11 Maọbụ, aghakwa

gburugburu. 14 Nke ọbụla n’ime cherubim ndị a nwere ihu anọ. Ihu nke mbụ dịka
ihu cherub. Nke abụọ dịka ihu mmadụ; nke atọ dịka ihu ọdụm, ma nke anọ dịka ihu
ugo.

15 Mgbe ahụ, Cherubim ndị ahụ buliri onwe ha elu. Ndị a bụ ihe ndị ahụ dị ndụ
nke m hụrụ na mbụ n’akụkụ osimiri Keba. 16 Mgbe cherubim ndị ahụ na-aga, wịịlụ
ndị ahụ dị n’akụkụ ha na-eso ha na-aga. Mgbe ha na-achili nku ha i si n’ala bulie
onwe ha elu, wịịlụ ha na-anọgidekwa n’akụkụ ha. 17 Mgbe cherubim ndị ahụ guzoro
n’otu ebe, wịịlụ ahụ na-eguzokwa. Mgbe ha na-ebuli onwe ha elu, wịịlụ ndị ahụ
na-ebulikwa onwe ha elu, n’ihi na mmụọ nke ihe ahụ dị ndụ dị n’ime ha.

18 Emesịa, ebube nke ONYENWE ANYỊ sitere na mbata ọnụ ụzọ ụlọnsọ ahụ pụọ, gaa
guzo n’elu cherubim ndị ahụ. 19 Mgbe m nọ na-ele anya, cherubim ahụ gbasapụrụ
nku ha felie, wịịlụ ha niile dịkwa n’akụkụ ha. Ha guzoro na mbata ọnụ ụzọ nke dị
n’akụkụ ọwụwa anyanwụ nke ụlọ ONYENWE ANYỊ, na ebube nke Chineke nke Izrel
dịkwa n’elu ha.

20 Ndị a bụ ihe ndị ahụ dị ndụ, nke m hụrụ n’okpuru Chineke Izrel n’akụkụ osimiri
Keba, amatara m na ha bụ cherubim. 21 Nke ọbụla n’ime ha nwere ihu anọ na nku
anọ, na ihe yiri aka mmadụ n’okpuru nku ha. 22 Ihu ha yikwara ihu ihe ndị ahụ m
hụrụ n’akụkụ osimiri Keba. Nke ọbụla na-agakwa ije n’ihu ihu na-eleghị anya n’azụ.

# 11

### *Ikpe ọmụma Chineke nke dịrị Jerusalem*

1 Mgbe ahụ, Mmụọ nke Chineke buliri m mee ka m bịaruo n’ọnụ ụzọ ama ụlọ
ONYENWE ANYỊ, nke dị n’akụkụ ọwụwa anyanwụ. N’ebe ahụ, n’oghere nke ọnụ ụzọ
ama ahụ, ahụrụ m iri mmadụ abụọ na ise. Ahụkwara m n’etiti ha, Jaazanaya nwa
Azoa na Pelataya nwa Benaya, bụ ndịisi ndị Izrel. 2 Ọ sịrị m, “Nwa nke mmadụ, ndị a
bụ ndị ikom na-agba izu ajọ ihe, na-enyekwa ndụmọdụ ọjọọ niile a na-enye n’obodo
a. 3 Ha na-asị, ‘Oge a ga-ewuzi ụlọ ndị ahụ ọ dịghị nso? Obodo a bụ ite igwe, anyị
onwe anyị bụkwa anụ dị n’ime ya.’ 4 N’ihi ya, nwa nke mmadụ, buo amụma megide
ha.”

5 Mgbe ahụ, Mmụọ nke ONYENWE ANYỊ bịakwasịrị m sị m kwuo, “Otu a ka ONYENWE
ANYỊ sịrị: otu a ka unu na-ekwukwa, unu ndị ndu ụlọ Izrel, ma amaara m ihe unu
bụ n’uche. 6 Unu egbuola ọtụtụ mmadụ n’ime obodo a, meekwa ka okporoụzọ ya
jupụta n’ozu ndị nwụrụ anwụ.

7 “N’ihi ya ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ji sị, ozu ndị ahụ niile
tọgbọ n’okporoụzọ obodo unu bụ anụ ndị ahụ unu gburu egbu, obodo a bụkwa ite.
Ma aga m eme ka unu site n’ime ya pụta. 8 Mma agha ahụ unu na-atụ egwu ya ka
m ga-eme ka ọ bịakwasị unu. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
kwubiri ya. 9 Aga m esitekwa n’etiti ya kpọpụta unu, were unu nyefee n’aka ndị mba
ọzọ, ma kpekwa unu ikpe. 10 Unu ga-ada site na mma agha. Ọ bụ n’oke ala Izrel niile
ka m ga-anọ kpee unu ikpe. Mgbe ahụ, unu ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE
ANYỊ. 11 E, obodo a agaghị abụrụ unu ite. Unu agaghị anọkwa n’ime ya dịka anụ. Aga
m ekpe unu ikpe n’oke ala Izrel niile. 12 Mgbe ahụ, unu ga-amata na mụ onwe m bụ
ONYENWE ANYỊ. N’ihi na unu bụ ndị na-enupu isi site n’iwu m na ụkpụrụ m. Ma unu
na-agbaso nzọ ụkwụ nke mba ndị ahụ niile gbara unu gburugburu.”

13 Mgbe m ka nọ na-ebu amụma, Pelataya nwa Benaya nwụrụ. Mụ onwe m kpuo
ihu m n’ala kwaa akwa sị, “Ewoo, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ị
ga-ebibi ndị niile fọdụrụ n’ala Izrel?”

### *Nkwa banyere nlọghachi Izrel*

14 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 15 “Nwa nke mmadụ, ụmụ nke nna gị, ọ
bụladị ụmụnna gị, na ndị mgbapụta* gị na ezinaụlọ Izrel niile, ọ bụ ha ka ndị bi na
Jerusalem sịrị, ‘Ha esitela n’ebe ONYENWE ANYỊ nọ gaa ebe dị anya, ọ bụkwa anyị ka
enyere ala nke a ka ọ bụrụ ihe nnweta anyị,’
16 “N’ihi nke a, kwuo, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-asị,
N’agbanyeghị na m zipụrụ ha gaa ebe dị anya n’etiti mba dị iche iche, chụsakwaa
ha n’etiti ala dị iche iche, ma nwa mgbe nta, a bụụrụ m ha ebe dị nsọ n’ala niile ahụ
bụ ebe ha gara.’
17 “Ya mere kwuo, ‘Nke a bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
na-ekwu: Aga m achịkọtakwa unu ọnụ ọzọ, site n’obodo niile bụ ebe unu gbasara,
nyeghachikwa unu ala Izrel.’
18 “Ha ga-alọghachi n’ebe ahụ, sitekwa n’etiti ya wezuga oyiyi ihe arụ niile, na
arụsị niile bụkwa ihe arụ. 19 Aga m enyekwa ha otu obi, tinyekwa mmụọ ọhụrụ
n’ime ha. Aga m ewepụ site n’ime ha obi kpọrọ† nkụ ma nye ha obi nke anụ ahụ.
20 Nke a ga-eme ka ha soro ụkpụrụ m na iwu m niile, leziekwa anya idebe ha. Ha
ga-abụ ndị nke m, mụ onwe m ga-abụkwa Chineke ha. 21 Ma banyere ndị ahụ obi ha
na-agbaso ihe ọjọọ na ihe niile rụrụ arụ, mmehie ha ka m ga-atụkwasị n’isi ha; otu
a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.”
22 Mgbe ahụ, cherubim ndị ahụ weliri nku ha elu, wịịlụ ndị ahụ dịkwa n’akụkụ
ha ma ebube nke Chineke nke Izrel guzokwa n’elu ha. 23 Ebube ONYENWE ANYỊ sitere
n’etiti obodo ahụ rigoo, guzo n’elu ugwu, n’akụkụ ọwụwa anyanwụ. 24 N’ime ọhụ,
Mmụọ nke Chineke buliri m elu bubata m na Kaldịa, ebe ndị a dọkpụụrụ gaa mba
ọzọ nọ.
Otu a ka ọhụ m hụrụ si hapụ m. 25 Agwakwara m ndị niile ahụ e mere ka ha jee
biri na mba ọzọ ihe niile nke ONYENWE ANYỊ gosiri m.

# 12

*Ihe ngosi maka ndọta n’agha*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 2 “Nwa nke mmadụ, i bi n’etiti ndị na-enupu
isi, ndị nwere anya ịhụ ụzọ ma ha adịghị ahụ; ndị nwere ntị ịnụ ihe ma ha adịghị
anụ ihe, n’ihi na ha bụ ndị nnupu isi.
3 “Ya mere, nwa nke mmadụ, kwakọtaa ngwongwo ụlọ gị maka ị ga biri n’ala ọzọ,
mee nke a n’ehihie dịka ha na-ele gị anya, hapụ ụlọ gị gaa n’ebe ọzọ. Ma eleghị
anya ha ga-aghọta, ọ bụ ezie na ha bụ ndị nnupu isi. 4 Kwapụta ngwongwo gị n’ezi
n’ehihie ka ha hụ ya. Ma hapụ ụlọ gị n’abalị dịka ndị na-agba ọsọ ndụ si eme, mgbe
ha na-amalite ije ha, nke ịga ibi n’ala ọzọ. 5 Mgbe ha na-ele gị anya, gwupuo mgbidi,
site na ya kwara ngwongwo gị pụọ. 6 Mgbe ha nọ na-ele gị anya, bulie ibu gị, tụkwasị
ya n’ubu gị, pụọ gawa n’ime ọchịchịrị, kpuchie ihu gị, ka ị ghara ihu ala ahụ anya.
N’ihi na emela m gị ihe ịrịbama nye ụlọ Izrel niile.”
7 Emere m ihe e nyere m n’iwu. Ebupụtara m ngwongwo m n’ehihie, jikọta ha
maka ịgba ọsọ ndụ. N’anyasị, eji m aka m gwuo ọnụ na mgbidi ahụ. Ebukwasịrị m
ngwongwo m n’ubu, bulie ije n’ime ọchịchịrị mgbe ha nọ na-ele m anya.
8 N’ụtụtụ echi ya, okwu ONYENWE ANYỊ bịakwutere m, 9 “Nwa nke mmadụ, ọ bụ
na ụlọ Izrel ndị nnupu isi ahụ ajụbeghị gị, ‘o lee ihe ị na-eme?’
10 “Gwa ha, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Amụma
a bụ maka onyeisi nọ na Jerusalem, n’ụlọ Izrel niile nọkwa ebe ahụ.’ 11 Sị ha, ‘Mụ
onwe m bụ ihe ama nye unu.’

* 11:15 11:15 Ndị a dọkpụụrụ gaa mba ọzọ † 11:19 11:19 Ya bụ, obi nkume

“Dịka m mere, otu a kwa ka a ga-eme nye ha. Ha ga-aga na mba ọzọ biri ka ndị a
dọtara n’agha.
12 “Nwa eze nke nọ n’etiti ha ga-amaburu ibu ya n’ubu pụọ n’ọchịchịrị, ọ ga-
egwupụ mgbidi aja nke obodo site n’ebe ahụ pụọ. Ọ ga-ekpuchikwa ihu ya ka ọ
ghara iji anya ya hụ obodo ahụ. 13 Ma aga m eji ụgbụ m jide ya, meekwa ka ọ bịaruo
Babilọn bụ ala ndị Kaldịa. Ebe ahụ ka ọ ga-anọ nwụọ, ma ọ gaghị ahụ ya anya. 14 Ndị
niile gbara ya gburugburu na ndị agha ya niile ka m ga-achụsa n’ala niile, ọ bụkwa
mma agha ka m ga-amịpụta jiri chụọ ha ọsọ.
15 “Ha ga-amata na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị, mgbe m chụsachara ha n’etiti
mba niile dị iche iche, fesaakwa ha n’ala niile. 16 Ma ọ bụ mmadụ ole na ole n’ime ha
ka m ga-edebe ndụ site na mma agha, na ụnwụ na ọrịa na-efe efe. Ka ha nwee ike kọọ
akụkọ ihe arụ niile ha n’etiti mba dị iche iche ebe ha gbagara ọsọ. Ha ga-amatakwa
na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị.”
17 Okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 18 “Nwa nke mmadụ, tụọ egwu mgbe ị na-eri
nri gị. Jirikwa ihe ọtụtụ tụpụta mmiri ọṅụṅụ gị, dịka a ga-asị na ọ bụ ihe ikpeazụ
i nwere. 19 Ị ga-asịkwa ndị bi n’ala ahụ, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
Onyenwe anyị na-ekwu banyere ndị bi na Jerusalem, n’ala nke Izrel, sị, Ha ga-eji ụjọ
rie achịcha ha, jirikwa obi ịlọ mmiri ṅụọ mmiri ha, n’ihi na a ga-ekpochapụ ihe niile
dị n’ala ha, n’ihi ihe ike nke ndị bi n’ime ya. 20 Obodo niile nke ndị mmadụ bi n’ime
ya ga-ala n’iyi, otu aka ahụ, ala unu niile ga-abụ ebe tọgbọrọ na nkịtị. Mgbe ahụ,
unu ga-amata na mụ onwe bụ Onyenwe anyị.’ ”

### *Ọ gaghị adị anya mmezu*

21 Okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 22 “Nwa nke mmadụ, kedụ ihe ilu a na-
atụ n’Izrel pụtara, nke na-asị ‘Ụbọchị adịla oke anya, ọhụ niile abụrụkwala ihe na-
enweghị isi?’ 23 Gwa ha, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị na-
ekwu, Aga m eme ka ilu a kwụsị, ha agaghị atụkwa ya dịka ilu n’Izrel ọzọ.’ Kama gwa
ha, ‘N’ụbọchị ahụ adịla nso mgbe ọhụ niile ga-emezu. 24 N’ihi na agaghị enwekwa
ọhụ ụgha ọzọ, maọbụ ịjụ ase ire ụtọ n’etiti ụlọ Izrel. 25 Ma mụ onwe m bụ Onyenwe
anyị ga-ekwu ihe m zubere. Ihe ọbụla m kwuru ga-emezu na-atụfughị oge. N’ihi na
ọ bụ n’oge unu dị ndụ, unu ndị nnupu isi, ka m ga-emezu ihe ọbụla bụ nke m kwuru.
Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri ya.’ ”
26 Okwu nke Onyenwe anyị bịakwutere m, 27 “Nwa nke mmadụ, lee, ụlọ nke Izrel
na-asị, ‘Ọhụ niile ọ na-ahụ bụ maka ọtụtụ afọ dị n’ihu, amụma ya bụkwa maka oge
na-abịa n’ihu.’
28 “N’ihi ya, gwa ha, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị, ọ
dịghịkwa okwu m nke a ga-atụfu oge ọzọ n’ime ya, ihe ọbụla m kwuru ka a ga-emezu.
Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri ya.’ ”

# 13

### *Okwu megide ndị amụma ụgha*

1 Okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 2 “Nwa nke mmadụ, buo amụma megide ndị
amụma nke Izrel ndị na-ebu amụma ugbu a, gwa ndị amụma ahụ na-ekwu ihe sitere
ha n’uche: ‘Nụrụnụ okwu nke Onyenwe anyị. 3 Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu,
bụ Onyenwe anyị kwuru, Ahụhụ ga-adịrị ndị amụma nzuzu ndị na-agbaso mmụọ nke
onwe ha, ndị ọ dịghị ihe ha na-ahụ. 4 Gị Izrel, lee, ndị amụma gị niile dị ka nkịta ọhịa
bi na mkpọmkpọ ebe. 5 Unu arịgobeghị na oghere jupụtara na mgbidi maọbụ rụzie
mgbidi aja ndị ahụ maka nchekwa ndị Izrel ka o nwee ike kwudosie ike n’ụbọchị
agha nke Onyenwe anyị. 6 Ọhụ ha bụ ụgha, otu a, ịjụ ase ha bụkwa ụgha, ha na-asị,

“ONYENWE ANYỊ kwupụtara,” ebe ONYENWE ANYỊ ezipụghị ha, ha na-agakwa n’ihu na-
atụ anya ka o mezuo okwu ha. 7 Ọ bụghị ọhụ ụgha ka unu hụrụ, ọ bụghịkwa okwu
ijụ ase ụgha ka unu kwuru, mgbe unu na-asị, “Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,”
n’agbanyeghị na mụ onwe m ekwughị okwu?

8 “ ‘N’ihi ya, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị, aga m ebibi unu n’ihi
okwu ụgha na ọhụ ụgha unu niile. Edoola m onwe m imegide unu, otu a ka Onye
kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri. 9 Aka m ga-emegide ndị amụma
niile ahụ bụ ndị na-ahụ ọhụ ụgha, na-agbakwa afa ụgha. Ha a gaghị esonye na otu
ọgbakọ ndị m maọbụ bụrụ ndị agụnyekọrọ n’akwụkwọ ndekọta aha ụlọ nke Izrel,
ha agaghị abakwa n’ala ndị Izrel. Mgbe ahụ unu ga-amata na mụ onwe m bụ Onye
kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ.

10 “ ‘N’ihi na ha eduhiela ndị m, mgbe ha na-asị, “Udo,” ebe udo na-adịghị, n’ihi
na mgbe e wuru mgbidi na-esighị ike, ndị amụma ndị a jara ha mma, werekwa nzu
techie ya. 11 Ya mere, gwa ndị ahụ jiri nzu techie mgbidi ahụ na ọ ga-ada. Oke mmiri
ozuzo nke ga-ezobiga oke ga-ezo, aga m ezitekwa mkpụrụ mmiri dị ukwuu nke ga-
ada, na oke ifufe nke ga-akwada ya. 12 Mgbe mgbidi ahụ dara, ndị mmadụ ọ gaghị
ajụ, “Olee ebe mgba ọcha ahụ ị ji techie ya dị?”

13 “ ‘Ya mere, Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, aga m
eji oke ifufe nke ọnụma m, na oke mmiri ozuzo nke iwe m, ma oke akụmmiri nke
oke iwe m mebie ya. 14 Aga m akwada mgbidi ahụ unu tere nzu, aga m emekwa
ka ọ daruo ala nke ga-eme ka ahụ ntọala ya anya; ọ ga-adakwasịkwa unu, gwepịa
unu. Mgbe ọ dara ọ ga-egbuchapụ unu niile; unu ga-amatakwa na mụ onwe m bụ
ONYENWE ANYỊ. 15 Otu a ka m ga-esi gosipụta iwe m n’ebe mgbidi ahụ nọ, na n’ahụ
ndị ahụ ji nzu techie ya. Aga m asị unu, “Mgbidi ahụ adịghịkwa, otu a ka ọ dịkwa
ndị ahụ ji nzu techie ya, 16 bụ ndị amụma Izrel ndị ahụ buru amụma nye Jerusalem,
ndị hụkwara ya ọhụ udo mgbe udo na-adịghị, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
ONYENWE ANYỊ kwubiri.” ’

17 “Ma ugbu a, gị nwa nke mmadụ, chee ihu n’ebe ụmụada ndị unu nọ, ndị nke
na-ebu amụma dị ka o si si ha n’obi pụta. Buo amụma megide ha 18 sị, ‘Otu a ka Onye
kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu, Ahụhụ dịrị ndị inyom na-adụnye
ọgwụ mgbaasị na nkwoji aka ha na-emekwa akwa mgbokwasị nke ikpuchi isi maka
ndị mmadụ dị iche iche, iji raata ha. Unu si aṅaa chee na unu ga-echebe ndụ unu
mgbe unu buru ụzọ mee ka ndị m maa n’ọnya? 19 Unu emeela ka m ghara ịdị nsọ
n’etiti ndị m, n’ihi mkpoju aka ọka balị na iberibe achịcha ole na ole. N’ihi ya, unu
emeela ka ha nwụọ bụ ndị na-ekwesighị ịnwụ anwụ. Unu edebekwala ha ndụ bụ
ndị na-ekwesighị ịdị ndụ, site n’okwu ụgha unu na-agwa ndị m, bụ ndị na-aṅa ntị
n’okwu ụgha.

20 “ ‘N’ihi nke a, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu, ana m
emegide ọgwụ mgbaasị niile nke unu ji achụ nta mkpụrụobi ndị m dịka nnụnụ. Aga
m adọwapụ ha site n’aka unu, napụtakwa ndị m, bụ ndị unu ji n’ọnya dị ka nnụnụ
e tinyere n’ụlọ akpara akpa. 21 Aga m adọwa akwa mgbokwasị ọgwụ unu, napụta
ndị m site n’aka unu. Ha agaghị amakwa n’ọnya nke ike unu ọzọ. N’ụzọ dị otu a
unu ga-amatakwa na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ. 22 N’ihi na ụgha unu emeela ka
obi ndị ezi omume daa mba, mgbe ọ na-abụghị uche m na ihe dị otu a ga-eme. Ma
unu emeela ka obi ndị ajọ omume sie ike site na nkwa ogologo ndụ unu kwere ha,
mee ka ha ghara isite n’ụzọ ọjọọ ha chegharịa ma zọpụta ndụ ha. 23 N’ihi nke a, unu
agaghị ahụkwa ọhụ ụgha ọzọ, maọbụ gbaa afa. M ga-anapụta ndị nke m site n’aka
unu. Mgbe ahụ unu ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.’ ”

# 14

*Okwu megide ndị na-ekpere arụsị*

[1] Ụfọdụ n'ime ndị okenye Izrel bịakwutere m, nọdụ ala n'ihu m. [2] Mgbe ahụ okwu
ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, [3] "Nwa nke mmadụ, ndị ikom ndị a na-efe arụsị n'ime obi
ha, ma tinyekwa ihe ịsụ ngọngọ nke ajọ omume ya n'ihu ha.* Aga m ekwenye ka
ha jụta m ase ọbụla? [4] Ya mere, gwa ha okwu sị ha 'Nke a bụ ihe Onye kachasị ihe
niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Mgbe onye Izrel ọbụla na-agbaso arụsị n'obi ya,
nke na-ekwekwa ka arụsị ndị a na-eduba ya na mmehie, bịakwutere onye amụma
ịjụta ya ase, mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ga-aza onye ahụ dịka o si dị, ya bụ dịka
ịba ụba nke arụsị ya niile si dị. [5] N'ụzọ dị otu a ka m ga-esi nwetaghachikwa obi ndị
Izrel niile bụ ndị si n'ebe m nọ wezuga onwe ha, ma malite ife arụsị.'
[6] "N'ihi ya, gwa ụlọ Izrel, 'Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
na-ekwu, Chegharịanụ! Sitenụ n'ife arụsị unu niile chigharịa, jukwanụ omume unu
niile rụrụ arụ.
[7] " 'N'ihi na onye ọbụla n'ụlọ Izrel maọbụ onye ọbụla n'ime ndị ọbịa bi n'ala Izrel,
nke kewapụrụ onwe ya site n'iso m, si otu a mee ka arụsị ọ na-efe baa ya n'obi, nke
na-etinye ihe ịsọ ngọngọ ajọ omume n'ihu ha, mechaa, gakwuru onye amụma maka
isite n'aka ya ịjụta m ase, mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ga-azaghachi ha. [8] Aga m
edokwa onwe m imegide ha, mee ka ha bụrụ ihe ịmaatụ na ilu nye ndị ọzọ. Aga
m esitekwa n'etiti ndị m wezuga ha. Mgbe ahụ, unu ga-amata na mụ onwe m bụ
ONYENWE ANYỊ.
[9] " 'Ọ bụrụ na arafuo onye amụma ahụ ka o buo amụma, ọ bụ mụ onwe m bụ
ONYENWE ANYỊ rafuru onye amụma ahụ. Aga m esetipụ aka m megide ya, bipụkwa
ya site n'etiti ndị m, bụ Izrel. [10] Ha ga-ata ahụhụ n'ihi mmehie ikpe ọmụma ha,
dịka ikpe ọmụma dịrị onye na-ajụ ase, otu a ka ọ ga-adịkwa nye onye amụma ụgha
ahụ. [11] Mgbe ahụ, ụmụ Izrel agaghị esitekwa n'iso m kpafuo ọzọ.† Ha agakwaghị eji
mmehie merụọ onwe ha, kama ha ga-abụ ndị m, mụ onwe m ga-abụkwa Chineke ha.
Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara ya.' "

*Ikpe ọmụma aghaghị ịbịa*

[12] Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, [13] "Nwa nke mmadụ, ọ bụrụ na ndị bi n'ala
emehie megide m, site n'ekwesighị ntụkwasị obi ha, ọ bụrụ na m esetipụ aka m
mee ka oke ụnwụ bịakwasị ha, ọ bụrụkwa na m emee ka mmadụ na anụmanụ niile
dị n'ala a nwụchasịa, [14] a sịkwa na Noa, Daniel na Job bi n'etiti ya, ha ga-azọpụta
naanị onwe‡ ha n'ezi omume ha. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwubiri ya.
[15] "Asị na m eziga anụ ọhịa ọjọọ ka ha bịa bibie ala ahụ, mee ka ọ ghọọ ebe tọgbọrọ
n'efu meekwa ka mmadụ ọbụla ghara ị site n'ime ya gafee n'ihi anụ ọhịa ndị ahụ,
[16] dịka m na-adị ndụ ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu, ọ
bụrụkwarị na ndị ikom atọ ndị a nọ n'ebe a, ha agaghị anapụta ọ bụladị ụmụ ha ndị
nwoke maọbụ ụmụ ha ndị nwanyị site n'ịla n'iyi. Naanị ha ka a ga-azọpụta, ma ala
ahụ ga-abụ ihe tọgbọrọ n'efu.
[17] "Ọ bụrụ na a sị na m mere ka mma agha bịakwasị ala ahụ, m sị, 'Ka mma
agha gabiga site n'ala ahụ niile gburugburu,' ma gbuo mmadụ na anụmanụ niile dị
n'ime ya, [18] dịka m na-adị ndụ, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwubiri, a sịkwarị na ndị ikom atọ ndị a nọ n'ala ahụ, ha agaghị anapụta ụmụ
ndị ikom na ụmụ ha ndị inyom site n'ịla n'iyi. Kama, ọ bụ naanị ha onwe ha ka a
ga-anapụta.

* **14:3** 14:3 Kwenye ka arụsị ndị a na-eduba ha na mmehie † **14:11** 14:11 Maọbụ, wezuga onwe ha ‡ **14:14**
14:14 Ya bụ, mkpụrụobi ha

19 "Ọzọkwa, ọ bụrụ na m eziga oke iwe m site n'ajọ ọrịa na-efe efe, ọ bụrụ na ọrịa
ahụ egbuo mmadụ na anụmanụ ha niile, 20 dịka m na-adị ndụ, otu a ka Onye kachasị
ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri, a sịkwa na Noa, Daniel na Job bi n'ime ya,
ha agaghị anapụta ụmụ ha ndị ikom maọbụ ndị inyom site n'ịla n'iyi. Ha ga-azọpụta
naanị onwe ha n'ezi omume ha.
21 "N'ihi na otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, a ga-esi
aṅaa napụta ya, mgbe m zipụrụ ụzọ ikpe m anọ dị oke egwu nke na-echere Jerusalem.
Ikpe ndị a bụ: mma agha na ụnwụ, anụ ọhịa ọjọọ na-adọgbu adọgbu na ọrịa na-efe
efe, ka ha gbuchapụ mmadụ na anụmanụ niile dị n'ime ya. 22 Ma a ga-enweta ụfọdụ
ndị ga-afọdụ ndụ, bụ ụmụ unu ndị nwoke na ndị nwanyị, ndị a ga-anapụta site
n'ahụhụ ndị a. Ha ga-abịakwute unu. Mgbe unu hụrụ omume ha, na obibi ndụ
ha, ha ga-abụrụ unu ihe nkasiobi n'ihi na unu ga-esite na ha mata ụdị mbibi nke m
mere ka ọ bịakwasị Jerusalem. 23 A ga-akasịkwa unu obi mgbe unu hụrụ omume ha
na obibi ndụ ha, unu ga-amatakwa na ọ bụghị n'efu ka m mere ka ihe ndị a niile
dakwasị ha." Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

# 15

### *Jerusalem, osisi vaịnị na-abaghị uru*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 2 "Nwa nke mmadụ, olee, ụzọ osisi vaịnị si
pụọ iche site n'alaka osisi ndị ọzọ dị n'ime oke ọhịa? 3 A na-esi n'ime osisi ya were
mepụta ihe ọbụla bara uru? Ọ bụ site na ya ka a na-esi emepụta osisi nke e ji ekonye
ihe? 4 Uru ha bara bụ iji ha menye ọkụ. Ma mgbe isi ya abụọ repịara, mgbe etiti ya
rekwara ọkụ, o nwere ihe ọzọ mmadụ nwere ike iji ya mee? 5 Ọ bụrụ na ọ baghị uru
mgbe o zuruoke, a ga-esi aṅa were ya mepụta ihe bara uru mgbe ọkụ repịasịrịla ya,
ọ ghọọ unyi?
6 "N'ihi ya, ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu, dịka
m sitere n'etiti ọhịa niile wepụta osisi vaịnị nye ka ọ bụrụ nkụ e ji emenye ọkụ, otu
a ka m ga-esi mesoo ndị bi na Jerusalem. 7 Aga m eche ihu m* imegide ha. Ọ bụ
ezie na ha esitela n'ọkụ pụta, ma ọkụ ga-erepịa ha. Unu ga-amata na mụ onwe m
bụ ONYENWE ANYỊ, mgbe m guzoro onwe m megide ha. 8 Aga m emekwa ka ala ha
tọgbọrọ n'efu, n'ihi na ha bụ ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi. Otu a ka Onye kachasị
ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri."

# 16

### *Ekwesighị ntụkwasị obi Jerusalem*

1 Okwu nke ONYENWE ANYỊ bịakwutere m, 2 "Nwa nke mmadụ, gwa Jerusalem okwu
mee ka ọ mara banyere ndụ ya niile rụrụ arụ 3 sị ya, 'Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe
niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-agwa Jerusalem: Ịpụta ụwa gị na ọmụmụ gị bụ n'ala
ndị Kenan; nna gị bụ onye Amọrị, nne gị bụ onye Het. 4 N'ụbọchị ahụ a mụrụ gị,
ebeghị otubo gị, ọ dịghị onye lekọtara gị maọbụ jiri mmiri saa gị ahụ ị sachapụ gị
unyi maọbụ tee gị nnu, maọbụ jiri akwa kechie gị. 5 Ọ dịghị onye nwere obi ebere
n'ebe ị nọ. Ọ dịghị onye ihe banyere gị metụrụ n'obi, ọ dịkwaghị onye lekọtara gị.
Kama n'ụbọchị ahụ a mụrụ gị a tufuru gị n'ọhịa, n'ihi na-eledara gị anya.
6 " 'Ma mgbe m si n'ebe ahụ ị tọgbọ na-agafe, ahụrụ m gị ka i chịlịri ụkwụ gị, ọbara
jukwara gị ahụ, dịka ị dina n'ime ọbara gị. N'oge ahụ, ihe pụrụ m n'ọnụ bụ, "Dị
ndụ." 7 Emere m ka ị too dịka osisi na-eto eto n'ime ọhịa. I tolitere, too ogologo ma
tozuo oke na nwanyị, ị kpụrụ ara, agịrị isi gị pukwara, ma gị onwe gị gba ọtọ.

* **15:7** 15:7 Maọbụ, Aga m eguzo onwe m

8 “ ‘Emesịa, a gafere m n’akụkụ gị, mgbe m lere gị anya ahụrụ m na i tozuola onye
mmadụ ga-ahụ n’anya. A gbasapụrụ m akụkụ akwa m n’ahụ gị, jiri ya kpuchie ọtọ
gị. Aṅụrụ m gị iyi, mụ na gị gbara ndụ, ị ghọkwara nke m. Ka Onye kachasị ihe niile
elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
9 “ ‘Eji m mmiri saa gị ahụ, sachapụ ọbara dị gị n’ahụ, teekwa gị mmanụ. 10 Enyere
m gị akwa ọcha na uwe a kpara nke ọma, nke i ji kpuchie ahụ gị. Nyekwa gị
akpụkpọụkwụ e ji ezi akpụkpọ kwaa, jirikwa ezi akwa ọcha na uwe ndị dị oke ọnụ
kpuchie gị. 11 Eyinyere m gị ihe ịchọ mma, tinye ọlaaka n’aka gị, nakwa ọlaolu n’olu
gị. 12 Etinyekwara m gị ọla n’imi, tinye gị ọlantị abụọ na ntị gị, na okpueze mara
mma n’isi gị. 13 E ji ihe ịchọ mma ọlaọcha na ọlaedo chọọ gị mma. Uwe gị bụkwa
uwe ezi akwa ọcha, uwe dị oke ọnụ, na uwe a kpara nke ọma. Nri ị na-eri bụ ụtụ
ọka a yọchaziri nke ọma, na mmanụ aṅụ, na mmanụ oliv. Mma gị pụtaziri ihe nke
ọma, ị ruo ogo ịbụ eze nwanyị. 14 Aha gị dara ụda nke ukwuu n’etiti mba dị iche iche
n’ihi mma gị, nke zuruoke site n’ebube ahụ bụ nke m tụkwasịrị gị. Otu a ka Onye
kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
15 “ ‘Ma ị tụkwasịrị mma gị obi, jiri n’ihi na a mara aha gị ghọọ onye akwụna. I
wekwaara onwe gị nye nwoke ọbụla gabigara mee ka mma gị bụrụ nke ya. 16 Ị were
uwe gị ụfọdụ, meere onwe gị ebe dị iche iche dị elu nke tụrụ agwa, ebe doziri ihe
ndina ịkwa iko gị. Ihe dị otu a emetụbeghị mbụ, ha ekwesịkwaghị ime mgbe ọbụla.
17 Ị chịrị ọlaọcha na ọlaedo ndị ahụ mara mma, bụ nke m nyere gị, were ha kpụọrọ
onwe gị oyiyi nwoke dị iche iche, ndị ị na-akpọ isiala nye. N’ụzọ dị otu a ka gị na ha
si na-akwakọ iko. 18 Uwe ọma ahụ a kpara akpa ka i ji kpuchie ha. Mmanụ m na ụda
m na-esi isi ụtọ ka ị chere n’ihu ha dịka onyinye. 19 Ọzọkwa, ụtụ ọka ọma, mmanụ
oliv na mmanụ aṅụ, nri ndị m nyere gị ka i rie, ka i ji chụọ aja na-esi isi ụtọ n’ihu
ha. Otu a ka o si dị, ka Onyenwe anyị ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
20 “ ‘Ụmụ niile ị mụtaara m, nwoke na nwanyị, ka i ji chụọrọ arụsị gị aja ka ha
rie. Ọ bụ na ịgba akwụna gị ezughịrị gị? 21 Ma i gburu ụmụ m, jiri ha chụọ aja nye
arụsị! 22 N’oge ndị a niile ị na-akwa iko, na-eme ihe arụ ndị a niile, o metụbeghị gị
n’obi ka i cheta ụbọchị niile ndị ahụ ị bụ nwantakịrị, mgbe ị nọ na-agba ọtọ, mgbe
ọbara jupụtara gị n’ahụ.
23 “ ‘Ahụhụ, ahụhụ, ga-adịrị gị, ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
kwubiri. Tinyekwara ajọ omume gị niile, 24 i wuuru arụsị gị ụlọ ebe ịkwa iko, wuokwa
ụlọ arụsị ndị ọzọ n’akụkụ okporoụzọ niile. 25 I wuuru onwe gị ebe ịchụ aja e wuliri
elu dị iche iche n’isi ụzọ niile, si otu a merụọ mma gị. N’ebe ahụ ka ị na-anọ na-
emeghere* onye ọbụla gafetara ụkwụ gị abụọ,† mee ka ịkwa iko gị na-amụbanye.
26 Ị kwasoro ndị Ijipt bụ ndị agbataobi gị iko, ndị anụahụ ha dị ukwuu. I si otu a mee
ka iwe dị ukwuu wee m megide ịkwa iko gị nke na-aba ụba. 27 N’ihi ya, esetipụrụ
m aka megide gị, e webilatara m oke ala gị ka ọ dị ntakịrị; ewere m gị nyefee oke
ọchịchọ nke ndị iro gị, bụ ndị inyom Filistia, ndị ihere mere n’ihi omume gị niile
ruru unyi. 28 Gị na ndị Asịrịa akwaala iko, n’ihi na afọ adịghị eju gị. Ọ bụladị mgbe
nke a gasịrị, ị bụkwa onwe na-enweghị afọ ojuju. 29 I mere ka ịkwa iko gị mụbaa ruo
ala ndị Kaldịa, mba ahụ ịzụ ahịa doro anya. Ma ọbụladị na nke a afọ ejughịkwa gị.
30 “ ‘Iwe m dị ọkụ megide gị,‡ otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
kwupụtara. Mgbe ị na-eme ihe ndị a, ị na-eme ha nnọọ dị ka onye akwụna nke ihere
adịghị eme.§ 31 Mgbe ị rụrụ ụlọ arụsị n’isi ụzọ niile, wuokwa ụlọ ịkwa iko gị na
mbara ụzọ niile, i meghị ya dịka akwụna, n’ihi na ị jụrụ ịnara ndị gị na ha kwara
iko ego ọbụla.

* **16:25** 16:25 Ya bụ, eghebere † **16:25** 16:25 Na-enyekwa onye ọbụla onwe gị ‡ **16:30** 16:30 Lee ka i si bụrụ onye na-ata ahụ, onye obi ya na-esighị ike. § **16:30** 16:30 Onye na-adịghị ezo-ezo maọbụ na-eme omume ọ dịghị onye m hụrụ

32 “ ‘N’ezie, ị bụ nwanyị na-akwa iko ma ị nọ na di, onye na-anabata ndị ikom
ọzọ karịa di ya! 33 Ndị akwụna niile na-anata onyinye, ma gị onwe gị na-enye ndị
ikom niile hụrụ gị n’anya onyinye, inye ha ngarị ka ha bịakwute gị site n’ebe niile
bịakwute gị n’ihi ịgba akwụna gị. 34 N’ihi ya, ị dị iche n’etiti ndị inyom ndị ọzọ n’ụdị
ịgba akwụna gị, o nweghị onye na-agbaso gị na-arịọ gị maka ịkwaso gị iko. Ị kwụrụ
ụgwọ ma o nweghị ụgwọ a kwụrụ gị, n’ụzọ dị otu a ị dị iche.
35 “ ‘N’ihi nke a, gị nwanyị akwụna, nụrụ okwu ONYENWE ANYỊ! 36 Nke a bụ ihe
Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, N’ihi na ị wụpụrụ agụụ nke anụ
ahụ gị, kpugheekwa ọtọ gị n’ịkwa iko gị nke gị na ndị ị hụrụ n’anya na-akwa, na
n’ihi arụsị gị niile rụrụ arụ, nakwa n’ihi na ị nyere ha ọbara ụmụ gị, 37 n’ihi ya, aga
m achịkọta ndị niile bụ ndị ahụ niile ị hụrụ n’anya, ndị gị na ha na-enwe obi ụtọ, ndị
ị hụrụ n’anya, ma ndị ị kpọrọ asị. Aga m achịkọta ha site gburugburu gị imegide gị,
gbaa gị ọtọ n’ihu ha, ka ha hụ ọtọ gị niile. 38 Aga m ata gị ahụhụ a na-ata ndị inyom
na-akwa iko, na ndị inyom na-egbu mmadụ. Aga m eme ka ịbọ ọbọ ọbara nke ọnụma
m, ya na ekworo m, bịakwasị gị. 39 Aga m enyefe gị n’aka ndị ahụ ị hụrụ n’anya, bụ
ọtụtụ mba ahụ dị iche iche. Ha ga-ebibi gị, kwada ụlọ ịkwa iko gị, na ụlọ arụsị gị
niile dị elu, gbaa gị ọtọ, narakwa gị uwe gị niile, na ihe ịchọ mma gị niile, hapụ gị
ka ihere mee gị. 40 Ha ga-akpọta igwe mmadụ ga-emegide gị, ndị ga-atụ gị nkume,
jirikwa mma agha ha bọkasịa gị. 41 Ha ga-agba ụlọ gị ọkụ ma takwaa gị ahụhụ n’ihu
ọtụtụ ndị inyom. Aga m ahụkwa na ị kwụsịrị ịkwa iko ị na-akwa, ị ga-akwụsịkwa
ịkwụ ụgwọ ahụ ị na-akwụ ndị iko gị. 42 Mgbe ahụ, oke iwe m megide gị ga-adajụ,
ekworo m ga-esite n’ebe ị nọ gabiga. Aga m anọ nwayọọ gharakwa iwe iwe ọzọ.
43 “ ‘Ebe ọ bụ na ị chetaghị ụbọchị ndị ahụ niile, mgbe ị dị n’agbọghọbịa, ma i ji
ihe ọjọọ ndị a niile ị na-eme kpasuo m iwe. Ya mere, aghaghị m ịkwụghachi gị dịka
mmehie gị si dị. Ọ bụ na i meghị omume ndị a rụrụ arụ, tinyekwara mmehie agụụ
ịkwa iko? Ọ bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri.
44 “ ‘Lee, onye ọbụla na-atụ ilu, ga-atụ ilu a banyere gị sị, “Otu ọ dị nne ka ọ dị
nwa ya nwanyị.” 45 N’ezie, ị dị ka nne gị, n’ihi na nne gị kpọrọ di ya na ụmụ ya asị.
Ị dịkwa ka ụmụnne gị ndị inyom. Ha na-akpọ di ha na ụmụ ha asị. N’ezie, nne gị
bụ onye Het, nna gị bụkwa onye Amọrị. 46 Ada nne gị bụ Sameria, ya na ụmụ ya bi
n’ugwu. Nwanne gị nwanyị nke nta bụ Sọdọm, ya na ụmụ ya bi n’ala ndịda. 47 Ọ
bụghị naanị na ị soro ụzọ ha niile, ị ṅomiri omume ibi ndụ arụ ha niile, kama dịka
a ga-asị na nke a bụ ihe nta, n’ụzọ gị niile, ị ghọrọ onye rụrụ arụ karịa ha. 48 Ebe m
na-adị ndụ, ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, Sọdọm na ụmụ
ya ndị inyom emetụbeghị ihe ndị a gị na ụmụ gị ndị inyom mere.
49 “ ‘Mmehie nwanne gị nwanyị Sọdọm bụ nganga, na umengwụ, na oke oriri. Ha
jụrụ inyere ndị nọ na mkpa, na ndị agụụ na-agụ nọ n’ọnụ ụzọ ha aka. 50 Ha dị elu
n’obi ha, mee ihe arụ n’ihu m. N’ihi ya, esitere m n’ihu m wezuga ha dịka ị hụrụ.
51 Ọ bụladị Sameria emerughị ọkara mmehie niile i mere. I meela ihe arụ bara ụba
karịa nke ha mere, si otu a gụọ ụmụnne gị ndị inyom ka ndị ezi omume site n’ihe
ndị a niile nke ị mere. 52 Gị onwe gị buru ihe ihere gị, n’ihi na omume gị ekpepụtala
ụmụnne gị ndị inyom. N’ihi na mmehie gị dị njọ, dịkwa ukwuu karịa nke ha, ha bụ
ndị a gụrụ na ndị ezi omume karịa gị. Ya mere, ka ihere mee gị, burukwa ọnọdụ
ihere gị, n’ihi na ị meela ka a gụọ ụmụnne gị ndị inyom dịka ndị ezi omume.
53 “ ‘Ma otu ọ dị, aga m eme ka ọganihu nke Sọdọm na ụmụ ya ndị inyom, na
ọganihu nke Sameria na ụmụ ya ndị inyom, na ọganihu nke gị dịghachikwa n’etiti
ha: 54 Ka i nwee ike bụrụ ọnọdụ ihere gị, ka ihere mekwa gị n’ihi ihe niile i mere,
n’ịkasị ha obi. 55 Ọzọ ndị ụmụnne gị nwanyị bụ Sọdọm na Sameria na ụmụ ha ndị
inyom ga-alọta n’ọnọdụ mbụ ha; gị na ụmụ gị ndị inyom ga-alọtakwa n’ọnọdụ mbụ
unu. 56 Ma ị pụghị emeghe ọnụ gị kpọọ aha nwanne gị nwanyị bụ Sọdọm n’ụbọchị

nganga gị, 57 tupu e kpughe ajọ omume gị. Ọ bụladị otu ahụ, ugbu a ị bụ ihe ịkwa
emo nye ndị ada Edọm* na ndị agbataobi ya niile, na ndị ada ndị Filistia. Ndị niile
nọ gị gburugburu na-eleliịkwa gị anya. 58 Ị ga-anata ụgwọ ọrụ nke ịkwa iko gị, na ihe
arụ ndị ọzọ ị na-eme. Otu a ka Onyenwe anyị kwubiri ya.
59 " 'Nke a bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị, Aga m
akwụghachi gị dịka omume gị si dị, n'ihi na ị ledara iyi ahụ ị ṅụrụ anya site n'imebi
ọgbụgba ndụ ahụ.† 60 Ma otu ọbụla o si dị, aga m edebezu nkwa ahụ niile m kwere gị
mgbe ị dị na nwantakịrị. Aga m eme ka ọgbụgba ndụ ahụ dị n'etiti mụ na gị guzosie
ike ruo ebighị ebi. 61 Mgbe ahụ, ị ga-echeta ụzọ gị niile, ma nwee ihere, mgbe m
ga-ewere ụmụnne gị ndị inyom ndị ahụ tọrọ gị na ndị nke ị tọrọ nye gị ha dịka ụmụ,
ma ọ bụghị n'ihi ọgbụgba ndụ m. 62 Aga m eme ka ọgbụgba ndụ mụ na gị guzosie
ike, ị ga-amatakwa na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị. 63 Mgbe ahụ, aga m ekpuchiri
gị ajọ omume niile bụ nke ị mere. Ihere ga-eme gị mgbe i chetara ndụ ọjọọ gị, ị gaghị
emeghekwa ọnụ gị kwuo okwu n'ihi oke mweda n'ala gị. Otu a ka Onye kachasị ihe
niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri.' "

# 17

*Ugo abụọ na otu osisi vaịnị*

1 Okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 2 "Nwa nke mmadụ, tụọ ilu kọwaara ụlọ Izrel
akụkọ ihe ọmụma atụ. 3 Sị ha, 'Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe
anyị kwuru, otu ugo nke nwere nku abụọ buru ibu, nke abụba ya tụrụ agwa agwa
ma dịkwa ogologo, feere bịa na Lebanọn, tụjiri ọnụ ọnụ osisi sida kachasị ibe ya
ogologo. 4 Ọ kubipụrụ ọnụ ọnụ alaka osisi a, buru ya gaa n'ala ebe ọtụtụ ndị na-azụ
ahịa juru, kụọ ya n'obodo ahụ.
5 " 'O sitekwara n'ala ahụ were otu mkpụrụ kụọ ya n'ala mara nnọọ ezi mma. Ọ
kụrụ ya dịka e si akụ osisi wilo n'akụkụ ebe enwere ụba mmiri. 6 Ọ dịghị anya,
mkpụrụ osisi ahụ gbara mgbọrọgwụ, too, ghọọ osisi vaịnị dị mkpụmkpụ, nke na-
awasa awasa, nke alaka ya niile chere ihu n'ebe ugo ahụ nọ. O nwekwara alaka siri
ike, na akwụkwọ mara mma.
7 " 'Ma e nwekwara ugo ọzọ, nke nwere nku sara mbara, nke jupụtara n'abụba.
Mgbe ugo a bịara, osisi vaịnị a gbasakwara mgbọrọgwụ ya na alaka ya, chee ugo ahụ
ihu, ka ọ gbakwasị ya mmiri. 8 A kụrụ ya n'ebe ala dị mma, n'akụkụ ọtụtụ mmiri,
ka o nwee ike wapụta ngalaba, mịa mkpụrụ, ghọọkwa ezigbo vaịnị mara mma.'
9 "Sị ha, 'Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwuru: Ọ ga-
adịhụkwa? Ọ bụ na agaghị ehopu mgbọrọgwụ ya niile, bipụkwa mkpụrụ ya niile
mee ka ọ kpọnwụọ? Ka akwụkwọ ndụ niile nke na-epute ọhụrụ kpọnwụọ. Ọ gaghị
ewekwa ogwe aka dị ike maọbụ ọtụtụ ndị mmadụ ihopụta ya site na mgbọrọgwụ
ya. 10 A kụọla ya ma ọ ga-etokwa? Ọ gaghị akpọnwụ kpamkpam mgbe oke ifufe si
n'ọwụwa anyanwụ feturu ya, kpọnwụchakwaa n'ala ebe ahụ ọ nọ puo?' "
11 Mgbe ahụ, okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 12 "Ugbu a, gwa ndị nnupu isi
ahụ, 'unu maara ihe ilu a pụtara?' Sị ha, 'Lee, Babilọn bịara na Jerusalem dọkpụrụ
eze ya na ndị ọchịchị ya laa Babilọn. 13 O were otu onye site n'ezinaụlọ eze, ya na ya
gbara ndụ, bụ onye o mere ka ọ ṅụọ iyi. O sitekwara n'ala ahụ bupụ ndị ndu obodo
ahụ niile. 14 N'ụzọ dị otu a, alaeze ahụ ghọrọ alaeze e wedara n'ala nke ukwuu, nke
na-enweghịkwa ike ibili ọzọ. Ọganihu nke alaeze ahụ dabeere naanị na ndebe ha
debere ọgbụgba ndụ ahụ. 15 Ma o nupuru isi n'okpuru ya site n'iziga ndị ozi n'Ijipt
ka ha nye ya ọtụtụ ịnyịnya na ndị agha. Ọ ga-enwetakwa ihe ọ chọrọ? Onye na-eme
ihe dị otu a, ọ pụrụ ịgbanarị ntaramahụhụ? Ọ pụrụ imebi ọgbụgba ndụ ma gbalaga?

* **16:57** 16:57 Ọtụtụ akwụkwọ mgbe ochie na-ede Aram † **16:59** 16:59 Ị kpachara anya mebie ọgbụgba ndụ
nke mụ na gị gbara.

16 “ ‘N’ezie, dịka mụ onwe m na-adị ndụ, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu,
bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri, ọ ga-anwụ na Babilọn, n’ala nke eze ahụ mere ka ọ
nọkwasị n’ocheeze, bụ onye o ledara ịńụ iyi ya anya mebikwaa ọgbụgba ndụ ya.
17 N’agbanyeghị igwe ndị agha ya siri ike, Fero agaghị enwe ike zọpụta ya n’agha,
mgbe ha ga-ewulite mgbidi agha, gwuokwa olulu nnọchibido iji gbuo ọtụtụ mmadụ.
18 O leliri ịńụ iyi ahụ site n’imebi ọgbụgba ndụ ahụ. N’ihi na o nyere aka ya n’ihe
ibe ma gaa n’ihu mee ihe ndị a niile, mgbapụ agaghị adịrị ya.
19 “ ‘Ya mere, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị, Dịka mụ
onwe m na-adị ndụ, aga m akwụghachi ya n’ihi nleda anya o ledara ịńụ iyi m nakwa
n’ihi ọgbụgba ndụ nke o mebiri. 20 Aga m agbasa ụgbụ m n’ụzọ o si aga; ọnya m
ga-amakwa ya. Aga m ewetakwa ya na Babilọn, nọdụkwa n’ebe ahụ taa ya ahụhụ
n’ihi na ọ kwesighị ntụkwasị obi nye m. 21 Mma agha ka a ga-eji gbuo ndị agha ya
niile na-agbapụ ọsọ, ndị niile fọdụrụ ka a ga-achụsasị n’akụkụ niile. Mgbe ahụ, ị
ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola ya.
22 “ ‘Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, Mụ onwe m
ga-esi n’ọnụ ọnụ osisi kachasị mma nke osisi sida kachasị elu kụrụ ihe m ga-akụ. Aga
m esi n’ọnụ ọnụ osisi sida dị elu kụrụ alaka dị nro, nke m ga-akụ n’ugwu dị ezigbo
elu. 23 Ọ bụ n’elu ugwu niile nke Izrel ka m ga-akụnye ya. Ọ ga-awapụtakwa alaka ya,
mịa mkpụrụ, bụrụkwa sida mara oke mma. Ụmụ nnụnụ dị iche iche ga-ewu akwụ
ha na ya, ha ga-achọtakwa ebe obibi na ndo nke alaka ya niile. 24 N’oge ahụ, osisi
ọhịa niile ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, bụ onye na-egbuda osisi niile
dị elu, ma na-ewelikwa ndị dị nta elu. Na ọ bụ m na-eme ka osisi dị ndụ kpọnwụọ,
ma na-emekwa ka nke nwụrụ anwụ dịrị ndụ.
“ ‘Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola ya. Aghakwaghị m ime ya.’ ”

# 18

*Mkpụrụobi mehiere ga-anwụ*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, sị, 2 “Gịnị ka unu bụ mmadụ na-ekwu mgbe
unu na-atụ ilu a banyere ala Izrel?
“ ‘Ndị bụ nna eriela mkpụrụ vaịnị na-achaghị acha,
eze ụmụntakịrị a na-eru ha izizi.’
3 “Dịka m na-adị ndụ, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri,
unu agaghị atụkwa ilu a ọzọ n’ala Izrel. 4 N’ihi na mkpụrụobi niile bụ nke m, ma
nke nna ma nke nwa, ha niile bụ nke m. Mkpụrụobi ọbụla mehiere bụ nke ga-anwụ.
5 “Ọ bụrụ na-enwere otu onye ezi omume
nke na-eme naanị ihe ziri ezi na ihe dị mma,
6 onye na-adịghị eje n’ugwu iri oriri
maọbụ welie anya ya n’ebe arụsị niile nke Izrel dị,
onye na-adịghị emerụ nwunye onye agbataobi ya,
maọbụ dinakwuru nwanyị nọ n’oge nsọ ya.
7 Onye na-adịghị emegbu ndị mmadụ,
kama ọ na-akwụghachi ụgwọ o ji, maọbụ na-enyeghachi ihe ọ naara dịka ihe mbe,
ọ dịghị apụnara mmadụ ihe o nwere n’ike,
kama ọ na-enye ndị agụụ na-agụ nri,
na-enyekwa ndị gbaa ọtọ akwa mkpuchi.
8 Ọ dịghị agbazinye mmadụ ego nara mụrụ nwa,
ọ dịghị ana ụma site n’aka ha.
Ọ na-esite n’ihe ọjọọ sepụ aka ya,
na-ekpekwa ikpe ziri ezi n’etiti mmadụ na ibe ya.

9 Ọ na-edebezu iwu m niile,
na-agbaso ụkpụrụ m niile n’ikwesị ntụkwasị obi.
Onye ezi omume ka nwoke ahụ bụ;
ọ ghaghị ịdịkwa ndụ,
otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri.
10 “Ọ bụrụ na o nwere nwa nwoke na-akpa ike, na-akwafu ọbara, na-emekwa ihe
ndị ọzọ dị iche iche, 11 ọ bụ ezie na nna ya emeghị ihe ndị a:
“Ma ọ na-eri nri n’ụlọ arụsị dị n’ugwu,
na-emerụ nwunye onye agbataobi ya;
12 Ọ na-emegbu ndị ogbenye na ndị nọ na mkpa.
Ọ na-apụnara mmadụ ihe n’ike.
Ọ dịghị eweghachi ihe o naara na mbe.
Ọ na-efe arụsị,
na-emekwa ihe arụ ndị ọzọ dị iche iche.
13 Ọ na-anara ndị ọ gbazinyere ego ọmụrụnwa na ụma.
O kwesiri ka onye dị otu a dị ndụ? Ọ gaghị adị ndụ. N’ihi na o meela ihe ndị a niile
rụrụ arụ. A ga-egbu ya. Ọbara ya ga-adịkwa n’isi ya.
14 “Ọ bụrụkwa na nwoke a nwere nwa nwoke nke hụrụ ihe ọjọọ ndị a niile nna ya
na-eme, ma kpebie na ọ gakwaghị ebi ụdị ndụ ahụ.
15 “Ọ dịghị eri nri n’ụlọ arụsị dị n’elu ugwu
maọbụ welie anya lee arụsị niile nke Izrel.
Ọ dịghị emerụ nwunye onye agbataobi ya.
16 Ọ dịghị emegbu onye ọbụla,
maọbụ anara ihe mbe n’ihi ego ọ gbazinyere mmadụ.
Ọ dịghị apụnara mmadụ ihe o nwere n’ike,
kama na ọ na-enye ndị agụ na-agụ ihe oriri ya,
na-enyekwa ndị gbaa ọtọ akwa mkpuchi;
17 ọ bụrụ na ọ dịghị etinye aka na mmehie ọbụla,
na ọ naghị anara ọmụrụnwa na ụma n’aka ndị o binyere ego,
na ọ na-erubekwara iwu m niile isi, na-agbaso ụkpụrụ m niile.
Onye dị otu a agaghị anwụ n’ihi mmehie nke nna ya mere. Ọ ga-adị ndụ. 18 Ma nna
ya ga-anwụ n’ihi mmehie niile o mere, n’ihi na ọ bụ onye na-ewe ihe na-abụghị nke
ya, onye na-apụnara ndị ọzọ ihe ha nwere n’ike. Ọ bụkwa onye na-eme ihe ọjọọ dị
iche iche n’etiti ndị ya.
19 “Ma unu na-ajụ, ‘Gịnị mere nwa adịghị eketa oke n’ahụhụ nke ajọ omume nna
ya?’ Ihe dị otu ahụ apụghị ime, ebe ọ bụ na nwa ya emeela ihe ziri ezi ma leziekwa
anya debezuo ụkpụrụ m niile, ọ ghaghị ịdị ndụ. 20 Onye ahụ mere mmehie bụ onye
ga-anwụ. Nwa agaghị ata ahụhụ n’ihi ihe nna ya metara, nna agakwaghị ata ahụhụ
n’ihi ihe nwa ya metara. Onye ezi omume ga-anata ụgwọ ezi omume o mere, ma
onye ajọ omume ga-anata ụgwọ n’ihi ajọ ihe o mere.
21 “Ma ọ bụrụ na onye ajọ omume esite na mmehie niile o mere chigharịa, malite
idebe ụkpụrụ m niile, ma na-emekwa ihe ziri ezi na nke dị mma, onye ahụ aghaghị
ịdị ndụ, ọ gaghị anwụ. 22 Ọ dịghị ajọ omume niile bụ nke ha mere a ga-echeta megide
ha. Ha ga-adị ndụ n’ihi ihe ezi omume ha mere. 23 Ọ na-atọ m ụtọ bụ ọnwụ nke ndị
ajọ omume? Ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara. Kama, ọ
bụghị mgbe ha si n’ụzọ ha chigharịa, dịrị ndụ, ka obi na-atọ m ụtọ?
24 “Ma ọ bụrụ na onye ezi omume esite n’ezi omume ya chigharịa, mee mmehie
na-emekwa ihe arụ nke ndị ajọ mmadụ na-eme, ha ọ ga-adị ndụ? Mba! Ọ dịghị ihe
ezi omume nke onye dị otu a mere nke a ga-echetakwa. N’ihi ekwesighị ntụkwasị
obi ha, ha bụ ndị ikpe mara, n’ihi mmehie ndị ha mere, ha ga-anwụ.

[25] “Ma unu na-asị, ‘Ụzọ Onyenwe anyị ezighị ezi!’ Geenụ ntị, unu ụlọ Izrel. Ọ bụ
n’ụzọ m ezighị ezi? Ọ bụghị ụzọ unu niile bụ nke na-ezighị ezi? [26] Ọ bụrụ na onye ezi
omume esite n’ezi omume ya chigharịa malite ime mmehie, ọ ga-anwụ maka ya; n’ihi
mmehie ahụ o mere ka ọ ga-anwụ. [27] Ọ bụrụ na onye ajọ omume esite n’ajọ omume
niile nke o mere chigharịa malite ime ihe ziri ezi na nke dị mma, ọ ga-azọpụta ndụ
ya. [28] N’ihi na ọ tuleela n’obi ya, kpebiekwa ịhapụ mmehie ya niile, ma malite ibi
ndụ ziri ezi. Ndụ ga-abụ nke ya. Ọ gaghị anwụ. [29] Ma ụlọ Izrel na-asị, ‘Ụzọ Onyenwe
anyị ezighị ezi!’ Ọ bụ n’ụzọ m niile ezighị ezi, unu ụlọ Izrel? Ọ bụghị ụzọ unu niile
bụ nke na-ezighị ezi?

[30] “Ya mere, unu ụlọ Izrel, aga m ekpe onye ọbụla n’ime unu ikpe dịka ụzọ ya si
dị, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya. Chegharịanụ,
sitenụ na njehie unu niile unu chigharịa, mgbe ahụ, mmehie agaghị a bụrụ unu ihe
ịsọ ngọngọ. [31] Wezuganụ njehie niile unu jehiere n’ime ya, ka unu nweta obi ọhụrụ
na mmụọ ọhụrụ. Ụlọ Izrel, gịnị mere unu ga-eji nwụọ? [32] N’ihi na ọ dịghị atọ obi
m ụtọ ịhụ na onye ọbụla na-anwụ, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwupụtara. Chegharịakwanụ, ka unu dịrị ndụ!

# 19

*Abụ akwa n’ihi ọnọdụ ụmụ eze Izrel*

[1] “Ma gị onwe gị, bụọrọnụ ndịisi Izrel abụ akwa a, [2] ma kwuo,
“ ‘Ụdị nne Ọdụm gịnị ka nne gị bụ
n’etiti ụmụ ọdụm.
Ọ dinara n’etiti ha,
na-azụ ụmụ ya.
[3] Ọ zụlitere otu n’ime ụmụ ya
nke ghọrọ nwa ọdụm siri ike.
Ọ mụtakwara ka e si adọrisi anụ ọhịa,
ghọọ ọdụm na-eri mmadụ.
[4] Mba niile nụrụ maka ihe banyere ya,
mee ka ọ danye n’olulu ha gwuru.
Ha ji nko koro ya,
duru ya gaa n’ala Ijipt.

[5] “ ‘Mgbe ọ hụrụ na ọ dịkwaghị ihe ọzọ o nwere ike ime banyere ọnọdụ ahụ,
matakwa na olileanya ya abụrụla ihe efu,
ọ họpụtara nwa ya ọzọ
kuziere ya otu ọ ga-esi bụrụ ọdụm dị ike.
[6] Ọ ghọrọ onyeisi ụmụ ọdụm niile,
n’ihi na ọ bụ ọdụm siri ike,
ọ mụtakwara ka e si ejide anụ ọhịa,
ya onwe ya ghọkwara ọdụm na-eri mmadụ.
[7] O tikpọrọ ebe ha niile e wusiri ike
meekwa obodo ha niile mkpọmkpọ ebe.
Ala ahụ na ndị niile nọ n’ime ya,
mara jijiji site n’oke egwu n’ihi olu ịgbọ ụja ya.
[8] Mgbe ahụ, ndị agha nke mba niile dị iche iche
pụtara gbaa ya gburugburu.
Ha sitere n’akụkụ niile nwude ya
n’ọnya olulu ha siiri ya.
[9] Ha tinyere ya nko n’imi, were dọkpuo ya n’ụlọ igwe a kpara akpa,

bute ya n’ihu eze Babilọn.
E mere ka o biri na mba ọzọ dịka ohu,
ka a ghara ịnụ ụda olu ya ọzọ
n’ugwu niile nke Izrel.

10 “ ‘Nne gị dịka osisi vaịnị n’ogige vaịnị
a kụrụ n’akụkụ mmiri,
nke nwere ọtụtụ alaka, nke na-amịkwa mkpụrụ
n’ihi mmiri ọ na-enweta.
11 Alaka ya niile siri ike,
ha topụtara ghọọ mkpara eze.
O topụrụ etopụ,
tokarịa alaka ndị ọzọ elu.
Nke a mere e ji na-ahụ ya anya
site n’ebe dị anya.
12 Ma e ji oke iwe hopu ya
tụpụ ya n’ala.
Oke ifufe si n’ọwụwa anyanwụ mere ka akwụkwọ ya kpọnwụsịa,
meekwa ka mkpụrụ ya daa.
Alaka ya ndị ahụ dị ike kpọnwụsịrị,
ọkụ rechapụkwara ha niile.
13 Ugbu a, akụọla ya n’ime ọzara
ebe kpọrọ nkụ nke mmiri na-adịghị.
14 Ọkụ esitela n’ogwe ya rechapụ alaka ya
na mkpụrụ ya niile.
Ọ dịkwaghị alaka siri ike fọdụrụ
nke dịkwa mma ịbụ mkpara eze.’
Abụ a bụ abụ akwa, nke e kwesiri ịbụ mgbe ịkwa akwa.”

# 20

### *Izrel ndị na-enupu isi*

1 O ruo, n’ọgwụgwụ ọnwa ise, n’afọ nke asaa, ụfọdụ n’ime ndị okenye Izrel bịara
ịjụta Onyenwe anyị ase. Ha nọdụrụ ala n’ihu m.
2 Mgbe ahụ, okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 3 “Nwa nke mmadụ, gwa ndị okenye
Izrel okwu sị ha, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị na-ajụ, Ọ bụ
ịjụpụta ase n’aka m ka unu bịara? Dịka mụ onwe m na-adị ndụ, agaghị m ekwe ka
unu jụọ m ase ọbụla, ọ bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri.’
4 “Ị ga-ekpe ha ikpe? Ị ga-ekpe ha ikpe, nwa nke mmadụ? Mee ka ha mara banyere
ihe arụ niile nna nna ha mere. 5 Gwa ha, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
Onyenwe anyị sịrị, n’ụbọchị m họpụtara Izrel, eweliri m aka m ṅụọrọ ya na ụmụ
ya bụ ụlọ Jekọb iyi ma kpugheekwa onwe m gosi ha n’ala Ijipt. Site n’iweli aka m,
agwara m ha okwu sị, “Mụ onwe m bụ Onyenwe anyị bụ Chineke unu.” 6 N’ụbọchị
ahụ, aṅụụrụ m ha iyi na m ga-esi n’ala Ijipt dupụta ha baa n’ala nke m chọpụtara
ha, ala mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya, bụ ala nke kachasị ibe ya mma.
7 Mgbe ahụ, agwara m ha, “Onye ọbụla n’ime unu, wezuganụ oyiyi ihe arụ niile ndị
ahụ bụ nke unu legidere anya, unu ejikwala arụsị niile nke Ijipt merụọ onwe unu.
Mụ onwe m bụ Onyenwe anyị bụ Chineke unu.”
8 “ ‘Ma ha nupuru isi megide m. Ha aṅaghị m ntị. Ha ewezugakwaghị oyiyi ihe arụ
ndị a, bụ nke ha lekwasịrị anya, maọbụ hapụkwanụ arụsị niile nke ndị Ijipt. N’ihi
ya, aga m awụkwasị ha oke iwe m, meekwa ka iwe m zuo oke n’ahụ ha n’Ijipt. 9 Ma

n’ihi aha m, e si m Ijipt kpọpụta ha. E mere m nke a ka a ghara imerụ aha m bụ nke
dị nsọ, n’anya ndị mba dị iche iche n’etiti ndị ha binyere, bụ ndị mkpughere onwe
m nye Izrel n’ihu ha. 10 N’ihi ya, esitere m n’Ijipt dupụta ha, dubata ha n’ọzara.
11 N’ebe ahụ ka m nọ nye ha iwu m niile, gosikwa ha ụkpụrụ m, gwa ha na onye
ọbụla debere ha ga-adị ndụ. 12 Ọzọ, e nyekwara m ha ụbọchị izuike, ka ọ bụrụ ihe
ịrịbama dị n’etiti mụ na ha, ka ha maara na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị, na-edo
ha nsọ.
13 “ ‘Ma ụlọ nke Izrel nupuru isi megide m. N’ime ọzara ahụ, ha jụrụ idebe iwu
m. Ha agbasoghị usoro m, ọ bụ ezie na ịgbaso ya pụtara ịdị ndụ. Ha edebeghị
ụbọchị izuike m nsọ. N’ihi ya, ekpebikwara m na m ga-awụkwasị ha iwe ọkụ m, ka
m kpochapụ ha n’ime ọzara. 14 Ma n’ihi aha m, e mere m ihe ga-eme ka a ghara ime
ya ka ọ hapụ ịdị nsọ n’anya ndị mba niile, bụ ndị hụrụ mgbe m si Ijipt kpọpụta ha.
15 Ma n’ime ọzara ahụ, eweliri m aka ṅụọrọ ha iyi na m agaghị eduba ha n’ala ahụ
m nyere ha, ala mmiri ara ehi na mmanụ aṅụ na-eru na ya, ala ahụ kachasị ala niile
ọzọ dị n’ụwa mma. 16 N’ihi na ha jụrụ iwu m, ha jụkwara ịgbaso ụkpụrụ m niile.
Ha merụrụ ụbọchị izuike m, n’ihi na obi ha niile dị n’ebe arụsị ha dị. 17 Ma eji m
obi ebere lee ha anya ma ghara ịla ha n’iyi. Ekpochapụghị m ha n’ọzara. 18 Mgbe
ahụ, agwara m ụmụ ha okwu n’ọzara, “Unu agbasola nzọ ụkwụ nna unu ha maọbụ
debe iwu ha maọbụ jiri arụsị ha merụọ onwe unu. 19 Mụ onwe m bụ Onyenwe na
Chineke gị. Gbasoonụ iwu m niile, lezie anya ka ị sorokwa ụzọ m niile. 20 Doonụ
ụbọchị izuike m nsọ, ka ha ghọọkwa ihe ịrịbama n’etiti mụ na unu. Mgbe ahụ, unu
ga-amata na mụ onwe m bụ Onyenwe na Chineke unu.”
21 “ ‘Ma ụmụ ahụ nupuru isi megide m. Ha ejegharịghị n’ụkpụrụ m, ha elezighị
anya ka ha debe iwu nke m kwuru banyere ha, “Na onye ọbụla na-erubere ha isi ga-
adị ndụ site na ha,” ha merụrụ ụbọchị izuike m. N’ihi ya, asịrị m, Aga m awụkwasị
ha ọnụma m, mezuokwa iwe m megide ha n’ọzara. 22 Ọzọkwa, eseghachiri m aka
m, n’ihi aha m, e mere m ihe ga-eme ka a ghara ime ya ka ọ hapụ ịdị nsọ n’anya
ndị mba niile, bụ ndị hụrụ mgbe m si Ijipt kpọpụta ha 23 E jikwa m iweli aka elu
ṅụọrọ ha iyi n’ime ọzara, na m ga-achụsasị ha n’etiti mba niile, mee ka ha gbasaa
n’akụkụ niile nke ụwa, 24 n’ihi na ha edebeghị iwu m, kama ha jụrụ ụkpụrụ niile,
lelịa ma merụọkwa ụbọchị izuike m. Naanị ihe na-agụ ha bụ arụsị niile nke nna ha.
25 Ahapụrụ m ha ka ha nabatara onwe ha iwu na omenaala dị iche iche nke na-abaghị
uru. N’ihi na site n’idebe omenaala ndị a, ha apụghị inweta ndụ. 26 E merụrụ ha site
n’onyinye ha, bụ, iji nwa mbụ ọbụla chụọ aja, ka m si otu a menye ha egwu ka ha
mara na mụ onwe m bụ Onyenwe.’
27 “Ya mere, nwa nke mmadụ, gwa ụlọ Izrel okwu, sị ha, ‘Otu a ka Onye kachasị
ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị na-ekwu, Nna unu ha kwuluru m na nke a, site na-
ekwesighị ntụkwasị obi nye m. 28 Mgbe m dubatara ha n’ala ahụ nke m ṅụrụ n’iyi
inye ha, ha hụrụ ugwu dị elu maọbụ osisi nwere ọtụtụ akwụkwọ, ebe ahụ ha chụrụ
aja ha, nyekwa onyinye ha, si otu a kpasuo m iwe. Ha doro ha ihe ndị ahụ niile na-esi
isi ụtọ, wụsakwara ha aja ihe ọṅụṅụ 29 Ya mere a jụrụ m ha, Gịnị ka a na-akpọ ebe
ịchụ aja a unu na-aga?’ ” (A na-akpọ ya Baama ruo taa.)

### *Ikpe ọmụma na nlọghachi*

30 “N’ihi nke a, gwa ụlọ Izrel, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị
kwuru: Unu ọ ga-emerụ onwe unu dịka nna nna unu ha mere site n’ịchụso oyiyi ihe
arụ ha dị iche iche? 31 Mgbe unu na-enye onyinye unu, na-eme ka ụmụ unu site n’ọkụ
gafee, unu na-aga n’ihu jiri arụsị unu niile na-emerụ onwe unu ruo taa. Mụ onwe
m, m ga-ekwe ka unu jụta m ase, O ụlọ Izrel? Dịka mụ onwe m na-adị ndụ, otu a ka
Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri, agaghị m ekwe ka unu jụọ m
ase.

32 “ ‘Unu na-ekwu n’obi unu sị, “Anyị chọrọ ịdị ka mba ndị ọzọ, dịka agbụrụ ndị
ọzọ nọ n’ụwa, ndị na-akpọ isiala nye osisi na nkume.” Ma ihe unu bu n’obi agaghị
emezu. 33 Dịka m na-adị ndụ, aga m eji aka ike na ogwe aka e setịrị eseti nakwa
nwụpụ nke oke iwe m chịa unu, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwubiri ya. 34 Aga m akpọpụta unu site na mba dị iche iche, chịkọtaa unu site
na mba ndị ahụ a chụsasịrị unu. Ọ bụ aka m dị ike, aka m setịpụrụ na ọnụma a
wụpụrụ ka m ga-eji mee ya. 35 Aga m akpọbata unu n’ọzara nke mba niile, nọdụ
n’ebe ahụ kpee unu ikpe n’ihu n’ihu. 36 Dịka m kpere nna nna unu ha ikpe n’ọzara
nke dị n’ala Ijipt, otu a ka m ga-esi kpee unu ikpe, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu,
bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri. 37 Aga m eme ka unu si n’okpuru mkpanaka m gafee,* aga
m akpọbata unu na njikọ nke ọgbụgba ndụ ahụ. 38 Aga m esi n’etiti unu wezuga ndị
na-ekwe ntị ike ma na-enupu isi megide m. Ọ bụ ezie na m ga-akpọpụta ha site n’ala
ahụ ha bi, ma ha agaghị abata n’ala Izrel. Mgbe ahụ, unu ga-amata na mụ onwe m
bụ ONYENWE ANYỊ.
39 “ ‘Ma banyere unu, bụ ụlọ Izrel, nke a bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ
ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Gaanụ fee arụsị unu niile dị iche iche, onye ọbụla n’ime
unu. Ma emesịa, unu aghaghị ịṅa m ntị, ọ dịghịkwa mgbe unu ga-eji onyinye na
arụsị unu niile merụọ aha nsọ m. 40 N’ihi na ọ bụ n’elu ugwu m dị nsọ, nke bụ
elu ugwu ukwu nke Izrel, ka Izrel niile ga-anọ fee m. N’ebe ahụ ka m ga-anọkwa
nabata onyinye unu na onyinye pụrụ iche unu, na aja nsọ unu dị iche iche. Otu a
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri. 41 Aga m anabatakwa unu
dịka onyinye ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ, mgbe m si na mba dị iche iche kpọlata unu,
mgbe m ga-achịkọta unu site n’obodo ahụ niile a chụgara unu. Mgbe ahụ, mba niile
ga-amata na m dị nsọ. 42 Mgbe m mere ka unu lọta n’ala Izrel, bụ ala ahụ m weliri
aka elu ṅụọ iyi inye nna nna unu ha, unu ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.
43 N’ebe ahụ, unu ga-echeta obibi ndụ na omume mmehie niile unu ji merụọ onwe
unu. Unu ga-asọkwa onwe unu oyi, n’ihi ihe ọjọọ niile unu mere. 44 Unu ga-amata
na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, mgbe m mesochara unu mmeso n’ihi aha m, na-
agụghị ajọ omume unu maọbụ otu ụzọ ọjọọ niile unu si dị, unu bụ ụlọ Izrel. Otu a
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara.’ ”

### *Amụma megide ndịda*

45 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 46 “Nwa nke mmadụ, chee ihu gị n’ụzọ ndịda.
Kwuokwa okwu megide ala ahụ dị na ndịda, na oke ọhịa niile dị na ndịda. 47 Sị oke
ọhịa ndịda ahụ, ‘Nụrụ okwu nke ONYENWE ANYỊ. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu,
bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Ana m akwado isunye gị ọkụ, nke ga-erechapụ osisi niile dị
n’ime gị, ma ndị dị ndụ ma ndị kpọnwụrụ akpọnwụ. A pụghị imenyụ oke ọkụ ahụ,
ọ ga-erechapụkwa ihu niile site na ndịda ruo n’ugwu niile. 48 Ihe niile bụ mmadụ,
ga-ahụ na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, sunyere ọkụ ahụ. A gaghị emenyụkwa ya.’ ”
49 Mgbe ahụ, ekwuru m sị, “Ewoo, Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ha
na-ekwu banyere m, sị, ‘Ọ bụghị naanị ilu ka ọ na-atụ?’ ”

## 21

### *Babilọn, mma agha Chineke*

1 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 2 “Nwa nke mmadụ, chee ihu gị
n’ụzọ Jerusalem, buo amụma megide ụlọnsọ ukwu ahụ. Bukwaa amụma megide ala
Izrel 3 sị ala Izrel otu a, ‘Otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu, Mụ onwe m na-emegide gị.
Aga m esite n’ọbọ mịpụta mma agha m, site na gị gbuchapụ ma onye ezi omume na

* **20:37** 20:37 Dịka mgbe onye ọzụzụ atụrụ na-agụ atụrụ ya ọnụ maọbụ na-achọ ịmata ọnọdụ ahụ ha

onye ajọ omume. 4 N’ihi na m na-aga igbuchapụ ndị ezi omume na ndị ajọ omume,
mma agha m ga-esite n’ọbọ ya pụta megide onye ọbụla site n’ugwu ruo na ndịda.
5 Mgbe ahụ, mmadụ niile ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ amịpụtala mma
agha m site n’ọbọ ya, ọ gaghị amịghachi baa n’ọbọ ọzọ.’

6 “N’ihi ya, sụọ ude, nwa nke mmadụ, sụọ ude n’ihu ha n’ọnọdụ oke mwute na
obi mgbawa. 7 Mgbe ha jụrụ gị, ‘Gịnị kpatara i ji asụ ude?’ Ị ga-asị, ‘N’ihi ozi nke
na-abịa. Obi niile ga-agbaze site n’egwu, aka niile ga-akụdakwa; mmụọ niile ga-ada
mba,* ikpere niile ga-ede mmiri site n’amịrị.’ Ọ na-abịa, ọ ghaghị imezu, otu a ka
Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.”

8 Ọzọkwa, okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 9 “Nwa nke mmadụ buo amụma sị,
‘Ihe a ka Onyenwe anyị kwuru:

“ ‘Lee, mma agha, lee, mma agha,
a mụọla ya, hichakwaa ya.
10 Amụọla ya n’ihi oke ogbugbu nke gaje ịdị,
hichakwaa ya nke ọma ka ọ na-egbu dịka amụma.

“ ‘Anyị ọ ga-aṅụrị ọṅụ na mkpara eze nwa m nwoke Juda? Mma agha na-elelị
mkpara niile dị otu a anya.

11 “ ‘E nyere iwu ka e hichazie mma agha ahụ,
ka e jidekwa ya n’aka.
A mụọla ya, hichazie ya.
E doziela ya maka onye ahụ ga-eji ya laa ndụ n’iyi.
12 Nwa nke mmadụ, tie mkpu akwa ma kwasie akwa ike,
n’ihi na ọ bụ megide ndị m
ọ bụkwa megide ndịisi Izrel niile.
A na-atụnyere ha mma agha ga-egbu ha,
ha na ndị m.
N’ihi ya, tie aka gị n’obi gị.†

13 “ ‘Ọnwụnwa aghaghị ịbịa. Ma gịnị ga-eme, ma ọ bụrụ na mkpara eze nke mma
agha na-elelị anya, agaghị n’ihu na-adịgide? Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
ONYENWE ANYỊ kwubiri.’

14 “N’ihi ya, buo amụma, nwa nke mmadụ.
Kụkọọ ọbụ aka gị abụọ,
ka mma agha gbuo ugboro abụọ
e, ọ bụladị ugboro atọ.
Ọ bụ mma agha e debere maka ogbugbu,
nke e debere maka oke ogbugbu
nke ga-abịachibido ha gburugburu.
15 Ka obi ha gbazee site n’egwu,
ka ndị na-ada ada hie nne,
n’ihi na edoziela m mma agha ahụ n’ọnụ ụzọ ama ha niile
maka oke ogbugbu.
Lee, mma agha ahụ na-egbu amụma,
etinyela ya n’aka onye ga-egbu oke ogbugbu.
16 Gị mma agha, ebe ọbụla ị chọrọ, ebe ọbụla i nwere ike, gbuo onye ọbụla,
ma ọ nọ gị n’aka nri
ma ọ nọ gị n’aka ekpe.
17 Mụ onwe m ga-akụkọtakwa ọbụ aka m,
ime ka iwe m jụrụ.
Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola.”

* 21:7 21:7 Maọbụ, ike ga-agwụ mmụọ niile † 21:12 21:12 Maọbụ, tie aka n’apata ụkwụ gị

18 Okwu nke ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 19 “Nwa nke mmadụ mee ụzọ abụọ nke
mma agha eze Babilọn ga-eso. Ka ụzọ abụọ ndị a malite n’otu obodo. Dee ihe ngosi
manye ha n’ebe ahụ ụzọ wara abụọ. 20 Mee ka otu n’ime ụzọ ndị ahụ bụrụ ebe mma
agha ga-esi bịa megide Raba nke Amọn, ka nke ọzọ megide Juda na Jerusalem, bụ
ebe e wusiri ike. 21 N’ihi na eze Babilọn ga-abịa guzo n’ebe ahụ ụzọ wara abụọ,‡
n’isi ụzọ abụọ ahụ ịchọ ihe ama. Ọ ga-esite n’ịgba àkụ nke ife nza, jụọ ase site n’aka
arụsị ya niile, nyochakwaa umeju ahụ. 22 N’ụzọ dị n’aka nri, ka ihe ịjụ ase banyere
Jerusalem ga-esi bịa. N’ebe ahụ ka ọ ga-ewu ihe niile ha ji etida mgbidi obodo ahụ.
N’ebe ahụ ka ọ ga-anọ nye iwu maka igbuchapụ ndị niile, na iwu ido ihe e ji etipu
mgbidi n’ọnụ ụzọ ama niile, na iwu a ga-eji wuo nkwasa agha na mgbidi e ji ebuso
ya agha. 23 Ọ ga-adị ha dịka ọjụjụ ase nke na-abaghị uru, nye ndị ahụ ṅụrụ ha iyi,
ma ọ ga-echetara ha ihe ọjọọ§ ha mere, dọkpụrụ ha n’ike.

24 “N’ihi ya, ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru. ‘Ebe
ọ bụ na unu esitela na nnupu isi unu mee ka e cheta ajọ omume unu, si otu a na-
ekpughe mmehie unu n’ihe niile unu na-eme. Ebe ọ bụ na unu emeela ihe dị otu a,
a ghaghị ịdọta unu n’agha.

25 “ ‘Gị onye rụrụ arụ, onye na-emebi iwu, gị nwa eze n’Izrel, gị onye ụbọchị ahụhụ
ya rurula, 26 ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị, yipụ
okpueze gị, ya na akwa ị na-atụghị n’isi. Ihe agaghị adịkwa dịka o si adị na mbụ. A
ga-ebuli ndị dị ala, wedata ndị dị elu. 27 Mbibi, mbibi. Aga m eme ka ọ ghọọ ihe e
bibiri ebibi. A gaghị eweghachikwa ya ọzọ tutu ruo mgbe onye ahụ o ruuru n’izi ezi
bịara. Ya ka m ga-enyefe ya n’aka.’

28 “Ma gị onwe gị, Nwa nke mmadụ, buo amụma kwuo, ‘Ihe ndị a ka Onye kachasị
ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru megide ndị Amọn n’ihi ịkwa emo ha:

“ ‘Lee mma agha, lee mma agha,
nke a mịpụtara maka oke ogbugbu.
E hichaziela ya mee ka ọ dị nkọ iripịa,
ka ọ na-egbu amụma dịka amụma egbe eluigwe.
29 N’agbanyeghị ọhụ ụgha nke a na-ahụ banyere unu,
na a jụtakwala ase ụgha banyere unu,
a ga-etinye ya n’olu
ndị mmebi iwu ahụ a gaje igbu egbu,
bụ ndị ụbọchị ha rurula,
ndị oge ịta ahụhụ ha zukwara.

30 “ ‘Mịghachinụ ya n’ọbọ ya.
N’ebe ahụ e kere unu
n’ala nna nna unu ha,
Aga m ekpe unu ikpe.
31 Aga m awụkwasị unu ọnụma m,
kukwasịkwa unu ikuku nke oke iwe m.
Aga m ewere unu nyefee n’aka ndị na-eme ihe ike,
ndị bụ ọka na ịla mmadụ n’iyi.
32 Unu ga-aghọkwa mmanụ a na-awụnye n’ọkụ.
A ga-awụsịkwa ọbara unu n’ala unu.
Ọ dịkwaghị onye ga-echeta unu ọzọ,
n’ihi na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola.’ ”

‡ **21:21** 21:21 Maọbụ, n’agbata ụzọ § **21:23** 21:23 Ya bụ, ajọ omume ha

# 22

*Ikpe ọmụma n'ihi mmehie Jerusalem*
1 Okwu nke ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị:

2 "Ma gị onwe gị, Nwa nke mmadụ, ị ga-ekpe ya ikpe? Ị ga-ekpe obodo ọbara a
ikpe? Mgbe ahụ, ị ga-eguzogide ya ihu n'ihu mee ka ọ mara ihe arụ niile o mere. 3 'Ị
ga-asị, Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Gị obodo nke
na-ewetara onwe gị mbibi n'ihi ọbara niile a na-awụsi n'etiti gị, na arụsị niile i ji
na-emerụ onwe gị. 4 Lee ka i si bụrụ onye ikpe mara n'ihi ọbara ị wụsiri. Leekwa
ka i si bụrụ onye e merụrụ emerụ site n'arụsị niile ị kpụrụ. I jirila aka gị mee ka
ọgwụgwụ gị dị nso, leekwa na ọgwụgwụ gị dị nso, leekwa na ọgwụgwụ gị abịala
n'ezie. N'ihi ya, aga m eme gị ka ị bụrụ ihe nkọcha nye mba niile, na ihe ịkwa emo
nye mba dị iche iche. 5 Ndị nọ gị nso na ndị nọ gị ebe dị anya ga-achị gị ọchị, gị obodo
rụrụ arụ, na nke jupụtara n'ọgbaaghara.
6 " 'Lee ka ndịisi Izrel nọ n'ime gị si e ji ike ha nwere na-awụsi ọbara. 7 A na-elelị
nne na nna n'ime gị. Ndị mbịarambịa ka e ji anya ike na-emegbu. Ndị na-enweghị
nna na ndị inyom di ha nwụrụ ka a na-akpagbu, na-emejọkwa. 8 I leliala ihe nsọ m
niile, merụọkwa ụbọchị izuike m niile. 9 Ndị nkwutọ, ndị na-awụsi ọbara nọ n'ime
gị. Ndị na-eri nri n'ihu arụsị niile dị n'elu ugwu, na ndị na-eme omume rụrụ arụ
nọkwa n'ime gị. 10 N'ime gị ka ndị na-akwaso nwunye nna ha iko dị, n'ime gị ka ndị
na-awakpo ụmụ nwanyị mgbe ha nọ na nsọ ha, bụ mgbe ha nọ n'ọnọdụ adịghị ọcha.
11 N'ime gị ka otu nwoke na-eme ihe arụ ya na nwunye onye agbataobi ya, onye ọzọ
na-enweghị ihere emerụọla nwunye nwa ya, onye ọzọkwa, emerụkwala nwanne ya
nwanyị, bụ ada nke nna ya mụrụ. 12 E nwekwara ndị na-anara ego gbuo mmadụ ibe
ha n'ime gị. Gị onwe gị na-anarakwa ndị i binyere ego ụma buru ibu, na-esitekwa
n'aka ike na-anara ndị mmadụ ihe ha. I chefuokwala m. Otu a ka Onye kachasị ihe
niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri.
13 " 'Lee, aghaghị m ịkụkọta ọbụ aka m abụọ n'ihi uru nke na-ezighị ezi ị na-eri, na
ọbara niile nke ị wụsiri n'etiti gị. 14 Obi gị ọ ga-esikwa ike? Ị ga-eguzokwa n'ụbọchị
m ga-ekpe gị ikpe? N'ihi na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola. Aga m emezukwa
ya. 15 Aga m achụsa unu n'etiti mba niile, fesaa unu n'etiti mba niile. Aga m emekwa
ka adịghị ọcha unu kwụsị. 16 Mgbe e mere ka ị ghara ịdị nsọ n'anya ndị mba dị iche
iche, ị ga-amatakwa na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.' "
17 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 18 "Nwa nke mmadụ, ụlọ Izrel
aghọọlara m ihe efu. Ha niile aghọọla ọla, na gbamgbam, na igwe, na ọla opu a
hapụrụ n'ọkụ. Ha bụ nnọọ ihe efu nke ọlaọcha. 19 N'ihi ya, otu a ka Onye kachasị
ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: 'N'ihi na unu niile aghọọla ihe efu, aga m
achịkọta unu n'ime Jerusalem. 20 Dịka a na-achịkọta ọlaọcha, na ọla, na igwe, na
opu, na gbamgbam, tinye ha n'oke ọkụ ka ha gbazee, otu a ka m ga-esite n'iwe m
na ọnụma m chịkọtaa unu n'ime obodo ahụ gbazee unu. 21 Aga m achịkọta unu,
fụkwasị unu ọkụ nke ọnụma m, mee ka unu gbazee n'ime ya. 22 Dịka ọlaọcha si
agbaze n'ọkụ, otu a ka unu ga-esi gbazee n'ime ya. Unu ga-amatakwa n'ezie na mụ
onwe m bụ ONYENWE ANYỊ awụkwasịla unu iwe m.' "
23 Ọzọkwa, okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 24 "Nwa nke mmadụ, gwa ala ahụ
okwu, 'Ị bụ ala nke a na-emebeghị ka ọ dị ọcha, maọbụ mmiri izokwasị ya n'ụbọchị
ọnụma.' 25 E nwere izuzu ọjọọ nke ndị ụmụ eze* nọ n'ime ya, dịka ọdụm nke na-agbọ
ụja na-adọgbu anụ ọ na-eri eri, ha na-eripịa ndị mmadụ. Ha ewerela akụ ha na ihe
ha niile dị oke ọnụahịa, mekwa ka ụmụ nwanyị na-enweghị di baa ụba n'etiti ya.

* **22:25** 22:25 Ụmụ eze n'ebe pụtara ndị amụma

[26] Ndị nchụaja ya na-enupu isi n'iwu m niile, mee ka ihe nsọ m niile gharakwa ịdị
nsọ, n'ebe nsọ m. Ha adịghị akpakwa oke n'etiti ihe dị nsọ na ihe na-adịghị nsọ. Ha
na-ezi ndị m na ihe dị iche ọbụla adịghị n'etiti ihe dị ọcha na ihe na-adịghị ọcha.
Ha adịghị akpọkwa ụbọchị izuike m ihe ọbụla. N'ihi ya, e mere ka m ghara ịdịkwa
nsọ n'etiti ha. [27] Ndịisi nọ n'ime gị dịka nkịta ọhịa na-adọgbu anụ o gbutara. Ha na-
awụsi ọbara, ime ka mkpụrụobi mmadụ laa n'iyi n'ihi uru akpa ha. [28] Ndị amụma
ha eteela nzu n'ọrụ ha niile site n'ọhụ ụgha n'ịgba afa ụgha mgbe ha na-ahụghị
ọhụ ọbụla. Ha na-asị, 'Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYị sịrị,'
mgbe ONYENWE ANYị na-ekwughị ihe ọbụla. [29] Ndị ala a na-eji aka ike na-apụnara
ndị ọzọ ihe ha nwere na-ezukwa ohi. Ha na-emegbu ndị ogbenye na ndị nọ na mkpa,
na-emegbukwa ndị ọbịa site n'ụzọ ekpeghị ikpe ziri ezi.
[30] "Achọrọ m otu onye n'etiti ha bụ onye nke ga-ewuzi mgbidi ogige, guzokwa n'ihu
m ikwuchite ọnụ ala a, ka m ghara ịla ala a n'iyi, ma ọ dịghị onye m hụrụ. [31] N'ihi ya,
aga m awụkwasị ha ọnụma m, jirikwa iwe m dị ọkụ rechapụ ha. Aga m ebokwasịkwa
ahụhụ niile nke mmehie ha, n'isi ha, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYị kwubiri."

# 23

*Ụmụnne nwanyị abụọ na-akwa iko*

[1] Okwu nke ONYENWE ANYị ruru m ntị, sị m, [2] "Nwa nke mmadụ, ọ dị ndị inyom abụọ
nke otu nne mụrụ. [3] Ha ghọrọ ndị akwụna n'ala Ijipt site na mgbe ha bụ agbọghọ.
N'ala ahụ, a bịagidere ara ha aka, pịakwa ọnụ ara agbọghọ ha aka n'ọnọdụ igwuri
egwu. [4] Aha nke okenye bụ Ohola. Aha nwanne ya nwanyị bụ Oholiba. Ha bụrịị
nkem, ha mụtakwara m ụmụ ndị nwoke na ndị nwanyị. Ohola bụ Sameria, Oholiba
bụkwa Jerusalem.
[5] "Ohola na-agba akwụna mgbe ọ ka bụ nkem. O nwere agụụ ịkwa iko n'ebe ndị
niile ọ hụrụ n'anya nọ, bụ ndị dike n'agha nke ndị Asịrịa, [6] ndị yi uwe anụnụ, ndịisi
ọchịchị na ndị ọchịagha, ha niile bụ ụmụ okorobịa mara mma n'ile anya, na ndịisi
agha, ndị ikom na-amakwasị n'elu ịnyịnya. [7] O weere onwe ya nyefee n'aka ndị ikom
Asịrịa ogugo ha kachasị elu dịka onye akwụna, merụọkwa onwe ya site n'ife arụsị
dị iche iche nke onye ọbụla agụụ ya gụrụ obi ya. [8] Ma ọ hapụghị mmụọ akwụna
ahụ dị n'ime ya, bụ nke o bidoro n'Ijipt, nke bụ na mgbe ọ bụ agbọghọ ya na ndị
ikom dinakọrọ, ha na-apịkwa ọnụ ara agbọghọ ya aka, na-awụkwasịkwa agụụ nke
ọchịchọ ọjọọ ha n'ahụ ya.
[9] "N'ihi nke a enyefere m ya n'aka ndị ahụ hụrụ ya n'anya, bụ ndị Asịrịa, ndị agụụ
ha na-agụ ya. [10] Ha gbara ya ọtọ, ha kpọọrọ ụmụ ya ndị ikom na ndị inyom, ma ya
onwe ya ka ha were mma agha gbuo. N'ụzọ dị otu a, ọ ghọrọ ihe akụkọ ilu n'etiti ndị
inyom niile, a takwara ya ahụhụ.
[11] "Oholiba bụ nwanne ya nwanyị hụrụ ihe ndị a, ma n'ime agụụ ihe ọjọọ nke gụrụ
ya nakwa ịgba akwụna, ọ kpara agwa jọrọ njọ karịa nke nwanne ya nwanyị. [12] Ya
onwe ya kwa, agụụ ụmụ Asịrịa gụrụ ya, bụ ndịisi ọchịchị, na ndị ọchịagha, ndị dike
n'agha yi uwe agha dịka o kwesiri, ndị ikom na-amakwasị n'elu ịnyịnya, ha niile bụ
ụmụ okorobịa dị mma n'ile anya. [13] Ahụrụ m na ya onwe ya merụkwara onwe ya;
ha abụọ si otu ụzọ aga.
[14] "O gara n'ihu tụkwasị ihe n'ịgba akwụna ya karịa. Ọ hụrụ onyinyo ndị ikom
atụnyere n'ahụ aja, bụ onyinyo nke ndị Kaldịa e ji ihe chara uhie uhie sepụta, [15] ha
kere ihe okike* n'ukwu ha nakwa akwa okike n'isi ha; n'ile anya ha niile dịka ndịisi
ụgbọ agha ndị Babilọn, Kaldịa bụ ala amụrụ ha. [16] Ngwangwa ọ na-ele ha anya, agụ

* **23:15** 23:15 Maọbụ, belịt

ha gụrụ ya, o zipụrụ ha ndị ozi na Kaldịa. 17 Mgbe ahụ ndị Babilọn bịakwutere ya,
n’elu ihe ndina ịhụnanya, n’ime agụụ nke anụ ahụ ha, ha merụrụ ya. Mgbe ha mesịrị
ka ọ bụrụ ihe rụrụ arụ site n’ịkwa iko, o si n’ebe ha nọ wezuga onwe ya n’ọnọdụ
ịsọ ha oyi. 18 Mgbe ọ gara n’ihu na-akwa iko n’ezoghị ezo na-ekpughekwa ọtọ ya,
elepụrụ m ya anya n’ihi ịsọ oyi, dịka m mere lepụkwara anya site n’ebe nwanne ya
nwanyị nọ. 19 Ma ọ gara n’ihu na-akwa iko karịa, dịka ọ na-echeta ndụ akwụna o
biri n’Ijipt mgbe ọ bụ agbọghọ. 20 N’ebe ahụ, agụụ ndị ikom ya na ha na-akwa iko
gụrụ ya, bụ ndị anụahụ ha dịka nke ịnyịnya ibu, ndị ihe ha na-anyụpụta dịkwa ka
nke ịnyịnya. 21 Ya bụ, na-agụụ ndụ ọjọọ nke i biri mgbe ị bụ agbọghọ na-agụsị gị ike,
mgbe ị nọ n’Ijipt ebe a na-abịagide gị aka n’ara, ebe apịkwara ọnụ ara nta gị aka.

22 “N’ihi nke a, gị Oholiba, nke a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị
kwuru: Aga m akpali ndị ahụ hụrụ gị n’anya† megide gị, bụ ndị ahụ ihe ha na-
amasịkwaghị gị ọzọ. Aga m esi n’akụkụ niile kpọta ha, megide gị. 23 Ndị Babilọn,
ndị Kaldịa niile, ndị ikom Pekod, ndị Shoa, na ndị Koa, na ndị Asịrịa niile ha na
ha soo. Ụmụ okorobịa niile dị mma ile anya, ha niile bụ ndị na-achị achị na ndị
ọchịagha, ndịisi na-agba ịnyịnya, na ndị ikom ọkwa ha dị elu, ha niile ga-anọkwasị
n’elu ịnyịnya. 24 Ha ga-eji ngwa agha dị iche iche, ụgbọala nke agha na ọtụtụ igwe
ndị mmadụ dị iche iche; ha ji ọta ukwu na ọta nta, kpurukwa okpu agha igwe, were
ọnọdụ gburugburu gị n’akụkụ ọbụla, imegide gị. Aga m enyefe gị n’aka ha, ka ha taa
gị ahụhụ, ha ga-atakwa gị ahụhụ dịka usoro ikpe ha si dị. 25 Aga m edo ekworo nke
iwe m megide gị, ha ga-eji iwe na ọnụma mesie gị ike. Ha ga-ebipụ imi unu na ntị
unu, ndị fọdụkwara n’ime unu ga-anwụ site na mma agha. Ha ga-achịkọrọ ụmụ unu
ndị ikom na ndị inyom pụọ, unu ndị nke fọdụrụ ka ọkụ ga-erepịa. 26 Ha ga-eyipụ
gị uwe ọma gị niile, chikọrọ ihe ịchọ mma gị niile. 27 N’ụzọ dị otu a, a ga-eme ka
agụ ọchịchọ ọjọọ nke anụahụ na ịkwa iko, bụ nke i bidoro n’ala Ijipt kwụsị. Ị gaghị
enwekwa agụụ ile ihe ndị a niile anya maọbụ chetakwa Ijipt n’uche gị.

28 “N’ihi na otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwuru: Lee, ana
m aga iwere gị nyefee n’aka ndị ahụ kpọrọ gị asị, bụ ndị ahụ ị wezugara onwe gị site
n’ebe ha nọ n’ihi ịsọ oyi. 29 Ha ga-esite n’ịkpọ asị mesie gị ike, pụnara gị ihe niile i
nwere nke ị dọgburu onwe gị n’ọrụ n’ihi ha. Ha ga-ahapụ gị ka ịgbara ọtọ ihu na
azụ, mgbe ahụ ihere nke ịgba akwụna gị ga-apụta ihe. Agụụ nke ọchịchọ ọjọọ na
ịkwa iko gị 30 emeela ka ihe ndị a bịakwasị gị, n’ihi na agụụ mmekọrịta n’ebe mba
ndị ọzọ gụrụ gị, ị jikwa arụsị ha merụọ onwe gị. 31 Ị gbasoro nzọ ụkwụ nwanne gị
nwanyị, n’ihi ya, aga m ewere iko ya tinye gị n’aka.‡

32 “Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwuru:

“Iko nwanne gị nwanyị ka ị ga-aṅụ
bụ iko sara mbara ma dịkwa omimi;
nke ga-eme ka ị ghọọ onye a na-achị ọchị na onye a na-akwa emo,
n’ihi na ọ na-anagide ihe dị ukwuu.
33 Ị ga-ejupụta n’ịṅụbiga mmanya oke na iru ụjụ,
n’ihi iko mbibi na ntikpọsi,
bụ iko nke nwanne gị nwanyị bụ Sameria.
34 Ị ga-aṅụ ya, ṅụchaa ihe dị n’iko ahụ.
Ị ga-atapịakwa iberibe§ ya niile,
dọkasịakwa ara gị abụọ.
Ekwuola m. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri.

† **23:22** 23:22 Ndị ahụ hụrụ gị n’anya ya bụ ndị iko ya ‡ **23:31** 23:31 Aga m ata gị ahụhụ dịka m si taa ya.
§ **23:34** 23:34 Maọbụ, ejuju

35 “N’ihi ya, ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwuru: Ebe
ọ bụ na i chefuola m, gbakụta m azụ gị, ị ga-ata ahụhụ niile ruuru gị n’ihi mmehie,
agụụ ọchịchọ ọjọọ na ịgba akwụna gị.”
36 Onyenwe anyị sịrị m, “Nwa nke mmadụ, ị ga-ekpe Ohola na Oholiba ikpe? Mgbe
ahụ, guzogide ha mee ka ha mara ihe arụ niile ha na-eme. 37 N’ihi na ha akwaala
iko, ọbara jupụtakwara n’aka ha, ha na arụsị ha kwakwara iko. Ha jikwa ọ bụladị
ụmụ nke ha mụtaara m chụọ aja nsure ọkụ nye ha. 38 Ihe ọzọ ha mere m bụ nke a:
Ha merụrụ ebe nsọ m n’otu ụbọchị ahụ ha mere ka ụbọchị izuike m gharakwa ịdị
nsọ. 39 N’ihi na n’otu ụbọchị ahụ ha ji ụmụ ha chụọ aja nye arụsị ha, bụkwa ụbọchị
ha batara n’ụlọnsọ m merụọ ya. Ihe dị otu a ka ha mere n’ụlọnsọ m.
40 “Ọ bụghị naanị nke a, ha zigara ndị ozi ịkpọ ndị ikom na-esi ebe dị anya bịa,
mgbe ha bịara, n’ihi ha, ị sachara ahụ gị nke ọma, tee ihe n’anya gị, yirikwa ezigbo
ihe ịchọ mma gị. 41 Ị nọdụrụ n’elu ihe ndina e doziri nke ọma, na tebul e doro
n’usoro dịkwa n’ihu ya nke ị dọbara ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ na mmanụ oliv bụ
nke m n’elu ya.
42 “Olu igwe mmadụ ndị obi dị ụtọ na-ada gburugburu ya n’ime ụlọ, e sitekwara
n’ọzara bubata ndị ṅụbigara mmanya oke, ha na ọtụtụ ndị ọzọ, Ha gbanyekwara
nwanyị a na nwanne ya nwanyị mgbaaka na nkwoji aka ha, yinyekwa ha okpueze
mara mma n’isi. 43 Mgbe ahụ, ihe m kwuru banyere nwanyị ahụ ịkwa iko riri ahụ
bụ nke a, ‘Ugbu a, ka ha mesoo ya mmeso dịka onye na-agba akwụna, n’ihi na nke
ahụ ka ọ bụ.’ 44 Ha bara dinakwuru ya. Dịka ndị ikom si abakwuru nwanyị akwụna,
otu a ka ha si bakwuru ụmụ nwanyị ndụ ọjọọ a bụ Ohola na Oholiba. 45 Ma ndị ikpe
ezi omume ga-ama ha ụdị ikpe a na-ama ndị inyom na-akwa iko na ndị na-awụsikwa
ọbara. N’ihi na ha bụ ndị na-akwa iko, na ndị ọbara dị n’aka ha.
46 “Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị, aga m akpọkọta
igwe ndị mmadụ ga-emegide ha, nyefee ha n’aka oke ihe egwu, nakwa ihe nlụta
n’agha. 47 Mkpọkọta mmadụ ahụ ga-atụ ha nkume, werekwa mma agha gbudasịa
ha. Ha ga-egbu ụmụ ha ndị ikom na ụmụ ha ndị inyom, kpọkwaa ụlọ ha niile ọkụ.
48 “Otu a, aga m eme ka ibi ndụ ọjọọ kwụsị n’ala ahụ, ka esi otu a adọ ndị inyom
niile aka na ntị, ka ha hapụ ịgbaso nzọ ụkwụ gị. 49 Ị ghaghị ịta ahụhụ n’ihi ndụ ọjọọ
nke ịkwa iko gị, hụkwaa ahụhụ n’ihi mmehie niile nke ịkpọ isiala nye arụsị. Mgbe
ahụ ị ga-amata na mụ onwe m bụ Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị.”

# 24

*Izrel dịka ite e sikwasịrị n’ọkụ*

1 O ruo n’afọ nke itoolu, n’ọnwa nke iri, n’ụbọchị nke iri, okwu nke Onyenwe anyị
ruru m ntị, sị, 2 “Nwa nke mmadụ, detuo ụbọchị taa n’akwụkwọ, n’ihi na ọ bụ taa
ka eze Babilọn gbara Jerusalem gburugburu. 3 Ugbu a, tụọrọ ndị a na-enupu isi ilu a,
gwa ha: ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwuru:
“ ‘Sikwasịnụ ite ahụ n’ọkụ; sikwasị ya
kunyekwanụ mmiri n’ime ya.
4 Tinyenụ anụ a bọrọ abọ n’ime ya.
Tinye anụ dị mma, apata ya na aka ya.
Tinyekwa ọkpụkpụ ndị ahụ dị mma n’ime ya.
5 Werenụ naanị ndị kachasị mma na ndị ahọpụtara site n’igwe ewu na atụrụ,
kwajuokwa nkụ n’okpuru ya maka ọkpụkpụ ndị ahụ,
mee ya ka ọ gbọọ nke ọma,
sie ọkpụkpụ ndị ahụ n’ime ya.

6 “ ‘N’ihi na Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị,

“ ‘Ahụhụ dịrị obodo ahụ a na-awụsi ọbara n’ime ya.
E, ahụhụ dịrị ite ahụ nchara dị n’ime ya,
nke a na-apụghị ịsachapụ nchara ya.
Wepụtasịanụ ha n’otu n’otu.
Ka a hapụ ifekwa nza mgbe a na-eme nke a.

7 “ ‘N’ihi na ọbara ọ wụsiri dị n’etiti ya.
Ọ bụkwa n’elu nkume ka a wụsiri ya.
Ọ bụghị n’elu ala efu,
ebe e nwere ike jiri aja kpochie ya.
8 Ọ bụ n’ihi ikpali ọnụma na ịbọ ọbọ
ka m ji hapụ ọbara ahụ n’elu nkume,
ebe a na-apụghị iji aja kpochie ya.

9 “ ‘Ya mere, ihe a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị na-ekwu,
“ ‘Ahụhụ dịrị gị obodo ahụ na-awụsi ọbara.
Mụ onwe m ga-akwanyekwa nkụ dị ukwuu n’ọkụ.
10 Chịkọtaanụ nkụ dị ukwuu,
mụnyekwanụ ọkụ.
Jirinụ ụda dị iche iche
sizie anụ ahụ nke ọma;
surekwaanụ ọkpụkpụ ya ọkụ.
11 Sinyekwanụ ite ahụ ihe na-adịghị n’ime ya n’ọkụ,
tutu ruo mgbe ọ nụrụ ọkụ, chaghariạ,
gbazee ihe niile na-abụghị ọla dị n’ime ya ga-asọpụtasị,
nchara ya ga-agwụsịkwa.
12 Ndọgbu n’ọrụ niile a emeghị ka nchara ahụ pụọ.
Ọ bụladị ọkụ dị ukwuu ahụ a kwanyere n’okpuru ya
emeghị ka ọ gbazee.
13 “ ‘Ugbu a, adịghị ọcha gị sitere na ndụ ọjọọ nke ịkwa iko gị. N’ihi na m agbalịala
ime ka ị dị ọcha, ma i kweghị adị ọcha site na mmerụ gị, ị gaghị adịkwa ọcha ọzọ
tutu ruo mgbe ọnụma m megide gị zuruoke.

14 “ ‘Mụ onwe m bụ Onyenwe anyị ekwuola ya. Oge m ji emezu ihe m kwuru eruola.
Agaghị m ahapụ imezu ya. Agaghị m eme ebere maọbụ weghachi aka m azụ. A ga-
ekpe gị ikpe dịka omume na obibi ndụ gị si dị. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu,
bụ Onyenwe anyị kwubiri ya.’ ”

### *Ọnwụ nwunye Izikiel*

15 Okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 16 “Nwa nke mmadụ, ana m aga iwere ihe
otiti napụ gị onye ahụ ihe ya na-atọ gị ụtọ. Ma mgbe o mere, ị gaghị eti aka n’obi
maọbụ kwaa akwa. Anya mmiri agakwaghị esi gị n’anya pụta. 17 I nwere ike sụọ
ude, ma asụsila ya ike. Ị gaghị eru uju n’ihi onye nwụrụ anwụ. Kechie isi gị, yirikwa
akpụkpọụkwụ gị, ekpuchila egbugbere ọnụ gị, maọbụ rie nri ndị na-eru ụjụ na-eri.”
18 Agwara m ndị mmadụ okwu a n’ụtụtụ, ma n’anyasị nwunye m nwụrụ. N’ụtụtụ
echi ya, emere m ihe niile dịka e siri nye m ya n’iwu.
19 Mgbe ahụ, ndị mmadụ sịrị m, “Ị gaghị agwa anyị ihe ihe ndị a pụtara? Gịnị mere
iji eme omume dị otu a?”
20 Ya mere a sịrị m ha, “Okwu nke Onyenwe anyị bịakwutere m, 21 Gwa ụlọ Izrel,
‘Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị na-ekwu: Ana m aga ime
ka ebe nsọ m ghara ị dị nsọ, bụ ebe e wusiri ike nke unu ji na-anya isi, ihe na-amasị

anya unu, nke ihe banyere ya na-atọ obi unu ụtọ. Ụmụ unu ndị ikom na ndị inyom,
ndị unu hapụrụ ga-ada site na mma agha.* [22] Mgbe ahụ, unu ga-eme dịka m mere.
Unu agaghị ekpuchi egbugbere ọnụ unu, maọbụ rie nri ndị na-eru ụjụ kwesiri iri.
[23] Ihe ikechi isi unu ga-adịgide n'isi unu, akpụkpọụkwụ unu ga-adịkwa n'ụkwụ unu.
Unu agaghị akwa akwa maọbụ tie aka n'obi, kama unu ga-ata ahụ n'ihi mmehie unu,
sụkwaa ude n'etiti onwe unu. [24] Izikiel ga-abụrụ unu ihe ịmaatụ. Unu ga-emekwa
dịka o mere mgbe ihe ndị a mezuru. Unu ga-amata n'ezie na mụ onwe m bụ Onye
kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ.'

[25] "Ma gị, nwa nke mmadụ, n'ụbọchị ahụ m napụrụ ha ebe ha siri ike, nke bụ
ọṅụ ha na ebube ha, na ihe anya ha na-achọsi ike; na ihe na-atọ obi ha ụtọ, na ụmụ
ha ndị ikom na ụmụ ha ndị inyom, [26] n'ụbọchị ahụ, ọ bụ onye na-agba ọsọ ndụ ga-
agbakwute gị ịkọrọ gị ihe mere. [27] N'oge ahụ, ị ga-asaghe ọnụ gị. Gị na onye ahụ
na-agba ọsọ ndụ ga-ekwurịta okwu. Ị gaghị anọkwa juu ọzọ. N'ihi ya, ị ga-aghọrọ ha
ihe ịrịbama. Ha ga-amatakwa na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ."

# 25

*Amụma megide Amọn*

[1] Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, [2] "Nwa nke mmadụ, chee ihu gị n'ala ụmụ
Amọn buo amụma megide ha. [3] Gwa ndị Amọn, 'Nụrụnụ okwu nke Onye kachasị
ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwuru: N'ihi na ị sịrị "Aha!" megide ebe nsọ m mgbe e merụrụ ya na megide
ala Izrel, mgbe e mere ka ọ tọgbọrọ n'efu, na mgbe a dọtara ndị Juda n'agha duru
ha gaa mba ọzọ dịka ohu, [4] n'ihi ya, aga m ewere gị nyefee n'aka ndị si n'ọwụwa
anyanwụ pụta, ka ị bụrụ ihe nketa ha. Ha ga-ewu ebe obibi n'etiti gị, rie mkpụrụ
ubi gị, ṅụọkwa mmiri ara ehi gị. [5] Aga m eme ka obodo Raba ghọọ ebe ịta nri nye
ịnyịnya kamel, meekwa ka ala Amọn ghọọ ebe igwe ewu na atụrụ na-amakpu. Mgbe
ahụ, ị ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ. [6] N'ihi na otu a ka Onye kachasị
ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu: N'ihi na ị kụrụ aka gị, zọọ ụkwụ gị n'ala
gidim, ma sitekwa n'ịkpọ asị nke obi gị ṅụrịa ọṅụ megide ala Izrel, [7] n'ihi ya, lee, aga
m esetipụ aka m megide gị, were gị nyefee n'aka ọtụtụ mba, ndị ga-alụta gị n'agha.
Aga m eme ka ị gwụsịa, mee ka ị hapụ ịdịkwa ọzọ. Aga m ala gị n'iyi. Ị ga-amatakwa
na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.' "

*Amụma megide Moab*

[8] "Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu, 'N'ihi na Moab
na Sia sịrị, "Lee, Juda adịrịla ka mba ndị ọzọ niile," [9] n'ihi nke a, aga m emeghe
akụkụ Moab, site n'obodo nke nsọtụ oke ala ya niile, bụ Bet-Jeshimọt, Baal-Meon
na Kiriatem, nke bụ ebube nke ala ahụ. [10] Aga m ewere Moab na Amọn nyefee ha
n'aka ndị ga-esi n'ọwụwa anyanwụ pụta, ka ọ bụrụ nke ha. N'ụzọ dị otu a, a gaghị
agụkwa maọbụ cheta Amọn n'etiti mba niile. [11] Aga m ata Moab ahụhụ. Mgbe ahụ,
ha ga-amatakwa na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.' "

*Amụma megide Edọm*

[12] "Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu, 'N'ihi na
Edọm bọọrọ onwe ha ọbọ megide ụlọ Juda sitekwa n'ịbọ ọbọ ha bụrụ ndị ikpe mara,
[13] n'ihi nke a, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Aga m
esetipụ aka m megide Edọm, gbuo ndị bi n'ime ya, ma mmadụ ma anụmanụ. Aga
m eme ka ọ tọgbọrọ n'efu. Ndị niile bi n'ala ahụ site na Teman ruo na Dedan ka a
ga-eji mma agha gbuo. [14] Ọ bụ site n'aka ndị nke m Izrel ka m ga-esi bọọ ọbọ megide

---

* **24:21** 24:21 Ga-anwụ site na mma agha

Edọm, ha ga-emeso ndị Edọm dịka ịba ụba nke iwe m na ọnụma m si dị, ha ga-amata
ihe ịbọ ọbọ bụ, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri.' "

*Amụma megide Filistia*

15 "Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: 'N'ihi na ndị
Filistia esitela na mmụọ nke ịbọ ọbọ, na mmụọ ịkpọ asị nke dị ha n'obi bọọrọ onwe
ha ọbọ, chọọ ịla ha n'iyi. 16 Ya mere, ihe a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwuru, ana m aga isetipụ aka m megide ndị Filistia. Aga m ebipụ ndị Keret,
bibie ndị ahụ niile bi n'ọnụ mmiri osimiri. 17 Aga m esite n'oke ọnụma bọọ ha ọbọ
site na ịta ha ahụhụ. Mgbe ahụ ha ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, mgbe
m ga-abọgwata ha ọbọ.' "

# 26

*Amụma megide Taịa*

1 N'ụbọchị nke mbụ n'ọnwa, n'afọ nke iri na otu, okwu nke ONYENWE ANYỊ rutere m
ntị sị, 2 "Nwa nke mmadụ, Taịa aṅụrịala ọṅụ n'ihi ọdịda Jerusalem. Ọ na-ekwukwa
na-asị, 'Ahaa, agbajiela obodo ahụ bụ ọnụ ụzọ e si eje mba dị iche iche. Ọnụ ụzọ ama
ya niile egherekwala oghe nye m. Ugbu a, e mebirila ya, ihe ga-agara m nke ọma
karịa.' 3 N'ihi ya, ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu:
Lee, ana m eguzo imegide gị Taịa. Aga m emekwa ka ọtụtụ mba bilie bịakwasị gị
dịka ebili mmiri nke oke osimiri. 4 Ha ga-etida mgbidi Taịa niile, kwadakwa ụlọ elu
ya niile. Aga m akọchapụ aja mgbidi ya dakpọrọ adakpọ mee ka ala ahụ ghọọ ala
nkume nkume. 5 Ọ ga-aghọkwa ebe ndị ọkụ azụ na-agbasa ụgbụ ha n'etiti oke osimiri.
N'ihi na mụ onwe m ekwuola ya. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwupụtara. Ọ ga-aghọkwara mba niile dị iche iche ihe a kwatara n'agha. 6 Ma
a ga-eji mma agha laa ụmụada ya bi n'elu ala n'iyi. Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ
onwe m bụ ONYENWE ANYỊ."

7 "N'ihi na otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Aga m
esite na mgbago ugwu kpọta Nebukadneza eze Babilọn, onye bụ eze ndị eze, ọ ga-achị
ọtụtụ ndị agha na ụgbọala, na ndị na-agba ịnyịnya bilie imegide Taịa. 8 Ọ ga-ebu
ụzọ jiri mma agha bibie ndị gị bi n'elu ala. Ọ ga-agbakwa obodo gị gburugburu,
wulie mgbidi agha ya elu, imegide mgbidi obodo gị. Ọ ga-ewelikwa ọta agha ya elu.
9 Ọ ga-echezikwa ihe agha e ji akwatu mgbidi n'ebe mgbidi gị dị, jiri ngwa agha ya
kwada ụlọ elu gị niile. 10 Ịnyịnya ya ga-adị ọtụtụ nke ga-eme ka ha jiri uzuzu kpuchie
gị. Mgbidi gị ga-ama jijiji n'ihi oke ụzụ nke ịnyịnya agha ndị a, na ụgbọ agha, na
wagọn ịnyịnya na-adọkpụ ga-eme, mgbe ha na-abata n'ọnụ ụzọ ama gị, dị ka mgbe
ọtụtụ mmadụ na-abanye n'ime obodo e tidara mgbidi ya. 11 Ọ ga-eji ụkwụ ịnyịnya
ya niile zọtọọ okporoụzọ gị niile, jirikwa mma agha gbuchapụ ndị gị niile. Ogidi niile
nke ike gị ga-adaru ala. 12 Ha ga-akwara akụ gị niile, na ihe ahịa gị niile dịka ihe
ha dọtara n'agha. Ha ga-akwatu mgbidi gị niile, na ụlọ ọma gị niile, kpokọtaa osisi
gị niile, na nkume niile, na ngwongwo niile n'abaghị uru wụnye ha n'ime osimiri.
13 Aga m emekwa ka ụzụ nke abụ gị niile kwụsị. A gaghị anụkwa ụda ụbọ akwara gị
ọzọ. 14 Aga m emekwa ka ala gị ghọọ ala nkume nkume, nke ihe na-adịghị n'ime ya.
Ị ga-abụkwa ebe ndị ọkụ azụ ga na-agbasa ụgbụ ha. Ọ dịghị onye ga-ewuzi gị ọzọ.
Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola ya. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
ONYENWE ANYỊ kwubiri.

15 "Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-agwa Taịa, Ọ bụ na
agaghị anụ mkpọtụ ọdịda gị na mba ndị ahụ niile dị n'ọnụ mmiri osimiri, mgbe ndị
e merụrụ ahụ ga na-asụ ude n'oge a na-egbu ndị bi n'ime gị? 16 Mgbe ahụ, ndị ndu
n'obodo ndị ahụ niile dị n'ọnụ mmiri osimiri ga-esi n'ocheeze ha rịdata. Ha ga-eyipụ

uwe mwụda ha, yipụsịakwa uwe ha niile a kpara nke ọma. Ha ga-anọdụ ọdụ n'ala
na-ama jijiji site n'oke egwu n'ihi ihe ha hụrụ dakwasịrị gị. 17 Ha ga-ebulikwa abụ
akwa banyere gị, sị gị,
" 'Lee ka i si laa n'iyi, gị obodo a maara aha ya,
nke ndị na-ejegharị n'osimiri bi n'ime ya.
Na mbụ, ị bụ obodo nke ịdị ike ya pụtara ihe n'osimiri niile,
gị na ndị bi n'ime gị.
Ị na-emenyekwa
ndị bi n'ime ya egwu.
18 Ugbu a, lee na ala niile dị n'ọnụ mmiri nke osimiri
na-ama jijiji n'ihi ọdịda gị.
Ọ bụladị agwa etiti niile ka ụjọ juru obi
n'ihi nkwatu a kwatụrụ gị.'
19 "Ihe a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Mgbe m mere ka ị
ghọọ obodo tọgbọrọ n'efu, dịka obodo niile nke mmadụ na-ebighị, mgbe m mekwara
ka ogbu mmiri nke oke osimiri bịakwasị gị, mgbe ọtụtụ mmiri ya kpuchiri gị, 20 mgbe
ahụ ka m ga-eme ka ị rịdaruo n'ala mmụọ, gị na ndị na-arịda n'olulu, ka i jekwuru
ndị mgbe ochie. Aga m eme ka ebe obibi gị bụrụ n'okpuru ime ime ala, ka ị dịrị
ka obodo ndị ochie ahụ e tikpọrọ etikpọ. Gị na ndị ahụ na-arịdaru n'olulu. Ị gaghị
esitekwa n'ebe ahụ lọghachi ịbịa isoro ndị dị ndụ birikwa. 21 Aga m eme ka ọgwụgwụ
gị bụrụ ihe a ga-atụ egwu. Ị gaghị adịkwa. A ga-achọ gị, ma agaghị achọta gị. Otu a
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya."

# 27

*Abụ akwa n'ihi Taịa*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 2 "Nwa nke mmadụ, bulie abụ akwa banyere
Taịa, 3 sị ya, gị oke obodo dị n'ọnụ oke osimiri, onye bụ onye ahịa nke mba niile dị
n'ọnụ osimiri. 'Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru:
" 'Gị onwe gị, bụ Taịa, na-asị,
"Ezuru m oke n'ịma mma."
4 I meela ka oke ala gị dịrị n'etiti oke osimiri.
Ndị wuru gị emeekwala ka ịma mma gị zuo oke.
5 Osisi e ji wuo ahụ ụgbọ gị
sitere n'osisi junipa nke si Senia;
ọ bụkwa osisi sida nke si Lebanọn
ka e ji jidesie ihu ụgbọ ahụ ike.
6 Osisi ook nke si Bashan
ka e ji mee ụmara gị niile.
Osisi e si Saiprọs bubata
ka e ji wuo ala ụgbọ gị, jirikwa ọdụ machie ya n'ọnọdụ ịchọ ya mma.
7 Ezi akwa ọcha a kpara nke ọma, nke e si Ijipt bubata,
ka e ji mee ọkọlọtọ gị.
Akwa ndo gị bụkwa akwa na-acha anụnụ anụnụ, na odo odo,
nke e si n'obodo ọnụ mmiri Elisha bubata.
8 Ndị ikom si Saịdọn na Avad bụ ndị na-akwọrọ gị ụgbọ mmiri gị.
Ndị ǹka ndị ikom gị, gị Taịa, nọ n'ụgbọ dịka ndị ọka n'ịkwọ ụgbọ mmiri.
9 Ndị okenye na ndị nka Gebal a maara aha ha nọ n'ime ụgbọ mmiri gị.
Ọrụ ha bụ imechisi oghere ọbụla dị n'ụgbọ ahụ.
Ụgbọ mmiri niile na ndị na-anya ha
na-abata n'ọnụ mmiri gị n'ihi ịzụ ihe ahịa gị.

10 “ ‘Ndị ikom Peshịa na Lidiya,* na Put,
jere gị ozi dịka ndị agha n’usuu ndị agha gị.
Ha kokwasịrị ọta ha na okpu agha igwe ha n’aja ụlọ gị,
na-ewetara gị ebube.
11 Ndị ikom Avad, na Helek
bụ ndị na-eche mgbidi gị n’akụkụ niile.
Ndị ikom Gamad
na-eche nche n’ụlọ elu gị niile e wusiri ike.
Ha konyekwara ọta ha n’usoro na mgbidi gị,
ime ka ịma mma gị zuo oke.
12 “ ‘Tashish bụ onye ahịa gị, n’ihi ịba ụba nke akụ gị. Ọ bụ ọlaọcha na igwe, na
gbamgbam, na opu, ka ha ji akwụ gị ụgwọ ihe ha si n’aka gị zụrụ.
13 “ ‘Ndị Griis,† Tubal na Meshek, bụkwa ndị ahịa gị. Ha na-ebutere gị ndị ohu, na
ihe e ji bronz kpụọ, iji kwụọ gị ụgwọ ihe ha si n’aka gị zụrụ.
14 “ ‘Otu a kwa ndị ikom Bet Togama jikwa ịnyịnya ụgbọ, na ịnyịnya agha, na
ịnyịnya ibu na-agbanwere‡ ihe ha zụrụ.
15 “ ‘Ndị ahịa si na Dedan bụkwa ndị ahịa gị. Otu a kwa ọtụtụ ndị bi n’ọnụ mmiri
bụkwa ndị ahịa gị. Ha ji ọdụ, na osisi eboni kwụọ gị ụgwọ ihe ha zụrụ gị.
16 “ ‘Ndị Aram ka gị na ha zụrụ ahịa n’ihi ọtụtụ ngwa ahịa gị. Ha na-ejikwa nkume
dị oke ọnụ tọkwọisi na akwa e sijiri esiji odo odo, na akwa a kpara nke ọma, na ezi
akwa ọcha, na koral, na nkume oke ọnụahịa rubi na-akwụ gị ụgwọ ihe ha zụrụ gị.
17 “ ‘Ndị Juda na ndị Izrel niile bụkwa ndị ahịa gị. Ha na-eji ọka wiiti nke si n’obodo
Minit, ya na shuga, na mmanụ aṅụ, na mmanụ, na mmanụ otite na-akwụ gị ụgwọ
ihe ha zụrụ gị.
18 “ ‘Damaskọs bụkwa ndị ahịa gị, n’ihi ọtụtụ ngwa ahịa na ụba ihe ndị ị nwere
ire ere. Ọ bụkwa mmanya si Helbon, na ajị anụ dị ọcha nke esi Zaha weta, 19 na
mmanya a gbara n’udu n’udu nke si Ụzal, na igwe nwupụrụ enwupụ, na kashia, na
kalamus, ka ha ji akwụ gị ụgwọ ihe ha zụrụ gị.
20 “ ‘Dedan bụ onye ahịa gị n’akwa a na-agbasa n’elu ịnyịnya anọkwasị ọdụ.
21 “ ‘Arebịa na ụmụ eze niile nke Keda bụkwa ndị ahịa gị. Ọ bụ ụmụ atụrụ, na
ebule, na mkpi, ka gị na ha n’azụrịta na-erekwa.
22 “ ‘Ndị ahịa Sheba, na Raama, bụkwa ndị ahịa gị. Ha ji ụda dị iche iche na nkume
dị oke ọnụahịa, na ọlaedo akwụ gị ụgwọ ihe ha zụrụ.
23 “ ‘Ndị Haran, Kanne na Eden, na ndị ahịa Sheba, Ashọ na Kilmad, bụ ndị gị na
ha zụkọrọ ahịa. 24 Ha na-eweta uwe mara mma dị iche iche, na akwa e tejiri anụnụ
anụnụ, na akwa a kpara nke ọma, na kapeeti mara mma dị iche iche, nke e ji ụdọ
kpazie nke ọma, nke e tejiri n’ụdị dịkwa iche iche n’ọma ahịa gị.
25 “ ‘Ụgbọ mmiri niile nke Tashish
bụ ndị na-ebu ihe ahịa gị.
I jupụtara n’ihe ahịa,
gị obodo dị n’etiti mmiri.
26 Ndị na-anyagharị ụgbọ mmiri gị
na-ebuba gị n’osimiri.
Ma ifufe siri ike nke si n’ọwụwa anyanwụ
ga-etiwasị gị n’etiti osimiri.
27 Akụ gị niile, na ngwa ahịa gị niile, na ihe ịzụ ahịa gị niile,

* **27:10** 27:10 Maọbụ, Lud † **27:13** 27:13 Maọbụ, Javan ‡ **27:14** 27:14 Nke a bụ n’ọnọdụ ịkwụ ụgwọ, mgbe ụfọdụ ọ bụrụ na mmadụ ejighị ego, o nwere ike jiri ihe o nwere kwụọ ụgwọ ihe ọ zuru, site n’ụzọ ịgbanwere ihe.

na ndị niile na-arụ ọrụ n’ụgbọ mmiri gị, na ndị na-anya ụgbọ mmiri, ma ndị na-edozi ụgbọ mmiri gị,
ma ndị na-azụ ahịa gị, ma ndị agha gị niile,
ha na ndị niile nọ n’ime ụgbọ gị
ka mmiri ga-eri n’etiti mmiri,
n’ụbọchị ahụ ụgbọ gị ga-emikpu.
28 Ala niile dị n’ọnụ mmiri ga-ama jijiji
mgbe ndị ọka ụgbọ mmiri gị ga-eti mkpu akwa.
29 Ndị niile na-anya ụgbọ mmiri,
na ndị ọka ụgbọ niile nke oke osimiri,
ga-esitekwa n’ụgbọ ha
rịdata guzo n’elu ala.
30 Ha ga-eti mkpu akwa,
ha ga-akwa akwa nke ukwuu,
werekwa aja wụkwasị onwe ha n’isi,
na-atụrụkwa onwe ha na ntụ.
31 Ha ga-akpụchapụ agịrị isi ha,
yirikwa akwa mkpe,
kwaa akwa n’ihi ịdị ilu nke mkpụrụobi ha.
Ha ga-etikwa aka ha n’obi.
32 Mgbe ha ga na-eti mkpu akwa na-erikwa uju n’ihi gị,
nke a bụ abụ akwa a ga-abụ banyere gị,
“Onye ka e mere ka o dere duu ka e si mee obodo Taịa,
nke osimiri gbara gburugburu?”
33 Mgbe e si n’ime gị na-ebupụsị ihe ahịa gị,
e ji ha na-enyeju mba dị iche iche afọ.
E sitekwara n’akụ gị dị ukwuu na ngwa ahịa gị
mee ka ọtụtụ ndị eze nke ụwa bụrụ ọgaranya.
34 Ugbu a, mmiri e riela gị,
ọ bụ n’okpuru osimiri ka ị tọgbọ.
Akụ gị niile na ihe ahịa gị niile,
na ndị niile nọ n’ime gị esorola gị laa n’iyi.
35 Ihe ndị a niile ga-eju ndị bi n’ala ọnụ mmiri
osimiri niile anya.
Ndị eze ha niile tụkwara egwu nke ukwuu;
ihu ha gbarụkwara agbarụ site n’egwu.
36 Ndị ahịa nke mba dị iche iche na-efufe isi ha,
n’ihi na ihe mere gị dị egwu.
Ị laala n’iyi ruo ebighị ebi.’ ”

# 28

*Amụma megide eze Taịa*

1 Okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 2 “Nwa nke mmadụ, gwa eze Taịa, ‘Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị:
“ ‘N’ihi nganga nke juru gị obi,
ị na-ekwu sị, “Mụ onwe m bụ chi,
mụ onwe m na-anọkwasị n’ocheeze nke otu chi,
nke dị n’etiti oke osimiri niile.”
Ma gị onwe gị bụ mmadụ efu, ị bụghị chi,*

* **28:2** 28:2 Maọbụ, Chineke

ọ bụ ezie na ị na-eche na ị mara ihe dịka chi.†
3 Ị maara ihe karịa Daniel?
Ọ bụ na o nweghị ihe e zoro ezo n'ebe ị nọ?
4 I werela amamihe gị na nghọta gị
nwetara onwe gị akụ,
tụkọba ọlaedo na ọlaọcha,
n'ime ụlọakụ gị dị iche iche.
5 E, mmụta n'ịzụ ahịa gị
emeela ka ị ghọọ ọgaranya,
n'ihi akụnụba inwere
ị bụrụla onye na-akpa nganga.
6 " 'Ya mere, nke a bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu;
" 'ebe ọ bụ na ị gụrụ onwe gị dịka onye maara ihe
onye maara ihe dịka chi,
7 ana m aga ịkpọbata ndị mba ọzọ megide gị,
bụ mba kachasị mba niile dị iche iche njọ na-enweghị obi ebere.
Ha ga-amịpụta mma agha ha megide ịma mma gị na amamihe gị,
ha ga-adụwakwa ebube nke mma gị.
8 Ha ga-eme ka ị rịdaruo n'olulu nke ala mmụọ.
Ị ga-anwụ ọnwụ ike
n'etiti oke osimiri niile.
9 Mgbe nke a mere, ị ga-asị, "Mụ onwe m bụ chi,"
n'ihu ndị ahụ na-egbu gị?
Ma gị onwe gị bụ mmadụ efu, ị bụghị chi,
n'aka ndị ahụ na-egbu gị.
10 Ị ga-anwụ ọnwụ dịka ndị a na-ebighị ugwu,
site n'aka ndị ọbịa.
Mụ onwe m ekwuola, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri.' "

11 Okwu nke ONYENWE ANYỊ rutere m ntị, sị, 12 "Nwa nke mmadụ, bulie abụ akwa
banyere eze Taịa ma gwa ya, 'Ihe a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
kwuru,
" 'Gị onwe gị bụ akara izuoke,
ị jupụtara na amamihe na ịma mma.
13 Ị nọ n'Iden,
n'ubi Chineke a gbara ogige.
N'ebe ahụ ka e ji nkume dị oke ọnụahịa ndị a chọọ gị mma,
rubi,‡ na topaazi, na emeralụdụ,
na krisolaịt, na ọniks, na jaspa,
na safaia, na tọkwọisi, na beril.
A rụnyere nkume ndị a niile n'ime ọlaedo.
Ọ bụkwa n'ụbọchị ahụ e kere gị ka e doziri ha.
14 Ahọpụtara m gị mee gị ka ị bụrụ cherub,
ọrụ ahụ e doro gị iche ịrụ.
Ọ bụ n'ugwu nsọ Chineke ka ị na-anọ,
na-ejegharịkwa n'etiti nkume ndị ahụ na-acha ọkụ.
15 Ị bụ onye na-enweghị ịta ụta
n'ụzọ gị niile site n'ụbọchị e kere gị,
tutu ruo mgbe a hụrụ ajọ omume n'ime gị.
16 Site n'ịba ụba nke ọzụzụ ahịa gị

† **28:2** 28:2 Maọbụ, Chineke ‡ **28:13** 28:13 Maọbụ, kanelien

ị ghọrọ onye na-eme ihe ike,
si otu a mehiekwa.
N'ihi ya, esi m n'ugwu Chineke chụpụ gị, n'ihi adịghị nsọ gị.
Esitekwara m n'etiti nkume ọkụ ndị ahụ chụpụ gị,
gị cherub na-ekpuchi ekpuchi.
17 Obi gị jupụtara na nganga
n'ihi ịma mma gị,
i mere ka amamihe gị
bụrụ ihe rụrụ arụ n'ihi ebube nke ịma mma gị.
N'ihi ya, achụdara m gị, tụọ gị n'ala,
mee ka ị bụrụ ihe nlere anya nye ndị eze niile.
18 N'ihi ọtụtụ mmehie gị, na ịzụ ahịa aghụghọ gị,
i meela ka ụlọnsọ gị niile ghọọ ihe rụrụ arụ.
N'ihi ya, emere m ka ọkụ si n'etiti gị pụta,
repịa gị.
Ka ị ghọọ ntụ n'elu ala,
n'ihu ndị ahụ niile na-ele gị anya.
19 Ndị niile maara gị
ka ihe ndị a juru anya,
n'ihi na ị ghọọla ihe oke egwu.
Ị laala n'iyi ruo ebighị ebi.' "

*Amụma megide Saịdọn*

20 Okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 21 "Nwa nke mmadụ, chee ihu n'ebe Saịdọn
dị buo amụma megide ya, 22 ma kwuo, 'Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
Onyenwe anyị kwuru,
" 'Mụ onwe m na-emegide gị, gị Saịdọn,
n'etiti unu ka m ga-egosipụta otuto m.
Unu ga-amata na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị
mgbe m mere ka ahụhụ dakwasị unu,
n'ime unu, a ga-anwapụta na m bụ onye dị nsọ.
23 Aga m ezite ajọ ọrịa na-efe efe, nke ga-emegide ya,
meekwa ka ọbara jupụta n'okporoụzọ ya niile.
Ndị e gburu egbu ga-ada n'ime ya,
site na mma agha nke ga-abịakwasị ya n'akụkụ niile.
Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị.
24 " 'Ụlọ Izrel agaghị enwekwa mba kpọrọ ha asị gbara ha gburugburu ndị dịka
uke, nke na-adụ adụ, na ogwu nke na-egbu mgbu. Ha ga-amatakwa na mụ onwe m
bụ Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị.
25 " 'Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwuru: Ndị Izrel
ga-alọghachi biri n'ala nke aka ha ọzọ, ala nke m nyere nna ha Jekọb ohu m. N'ihi
na aga m esite na mba niile ha gbasasịrị chịkọtaa ha, si otu a gosi mba niile nke
ụwa ịdị nsọ m. 26 Ha ga-ebi n'ala a na ntụkwasị obi. Ha ga-ewu ụlọ, kụọ ubi vaịnị,
birikwa na-atụghị egwu ọbụla. Mgbe m pịachara mba niile dị ha gburugburu ụtarị,
bụ mba ndị ahụ mekpara ha ahụ, mgbe ahụ, ha ga-amata n'ezie na mụ onwe m bụ
Onyenwe anyị Chineke ha.' "

# 29

*Amụma megide Ijipt*

*Ikpe ọmụma dịrị Fero*

1 N’afọ nke iri, n’ọnwa nke iri, n’ụbọchị nke iri na abụọ, okwu nke Onyenwe anyị
ruru m ntị, sị, 2 “Nwa nke mmadụ, chee ihu gị n’Ijipt buo amụma megide Fero bụ
eze Ijipt, na ala Ijipt niile. 3 Gwa ya okwu, sị, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
Onyenwe anyị sịrị:

“ ‘Lee, mụ onwe m na-emegide gị, Fero eze Ijipt,
gị onye bụ ogologo anụ ọjọọ ahụ na-amakpu n’etiti mmiri iyi.
N’ihi na ị sịrị, “Ọ bụ m nwe Naịl,
ọ bụkwa mụ onwe m mere ya nye onwe m.”
4 Ma aga m etinye nko n’agba gị,
mee ka azụ niile nke iyi gị niile rapara n’akpịrịkpa gị.
Aga m adọpụta gị site n’etiti iyi gị niile,
mee ka azụ niile rapara n’akpịrịkpa gị.
5 Aga m ahapụ gị
na azụ niile nke osimiri iyi gị n’ọzara,
ebe ahụ ka unu ga-anọ nwụọ n’ala ubi,
a gaghị eli unu eli maọbụ tụtụọ unu,
n’ihi na emeela m ka unu bụrụ nri
nye anụ ọhịa niile, na nnụnụ niile.
6 Mgbe ahụ, ndị niile bi n’Ijipt ga-amata na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị.

“ ‘Ị dịrịla ka mkpanaka achara n’ebe ụlọ Izrel nọ. 7 Mgbe ha jidere gị n’aka, ị nyajiri
dọwaa ha ubu ha. Mgbe ha dabeere na gị, ị gbajiri mee ka ha ghara inwekwa ike
iguzosi ike n’ụkwụ ha.
8 “ ‘N’ihi ya, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwuru: Lee,
aga m eme ka mma agha bịakwasị gị, aga m ebipụkwa mmadụ na anụmanụ niile dị
n’ime gị. 9 Ala Ijipt ga-aghọ ebe tọgbọrọ n’efu; ha ga-amatakwa na mụ onwe m bụ
Onyenwe anyị.
“ ‘N’ihi na ị sịrị, “Osimiri Naịl bụ nke m. Ọ bụ m kere ya.” 10 N’ihi ya, aga m edo
onwe m megide gị, megidekwa osimiri gị. Aga m ala Ijipt niile n’iyi site na Migdol
ruo Aswan, ruokwa n’oke ala ha na ndị Kush.* 11 Ọ dịghị ụkwụ anụmanụ maọbụ
mmadụ ga-agafe n’ime ya, agaghị ebikwa n’ime ya ruo mgbe iri afọ anọ gasịrị. 12 Aga
m emekwa ka ala Ijipt bụrụ ebe tọgbọrọ n’efu n’etiti mkpọmkpọ ala niile, obodo ya
niile ga-atọgbọrọ n’efu iri afọ anọ n’etiti obodo ndị e mere ka ha laa n’iyi. Aga m
achụsasị ndị Ijipt n’etiti mba niile, fesaa ha n’ala niile.
13 “ ‘Ọzọkwa, Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị, n’ọgwụgwụ
iri afọ anọ ahụ, aga m achịkọtakwa ndị Ijipt site n’ebe niile ha gbasara. 14 Aga m
emekwa ka ndị ya niile laghachi n’ala Patros, ala ebe a mụrụ ha. Ma Ijipt agaghị
abụkwa alaeze a maara nke ọma ọzọ. 15 Ọ ga-abụ alaeze dị nnọọ ala karịa alaeze
niile. Ọ dịkwaghị mgbe ọzọ ọ ga-eweli onwe ya elu karịa mba ọzọ niile. Aga m
emekwa ka ha dị nta, nke ha agaghị inwe ike achịkwa mba niile ọzọ. 16 Ijipt agaghị
abụkwara ụlọ Izrel ihe ntụkwasị obi, kama ọ ga-abụrụ ha ihe iji cheta mmehie ha
mere mgbe ha lere anya enyemaka site n’aka ya. Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ
onwe m bụ Onye kachasị ihe niile elu, bụ†Onyenwe anyị.’ ”

### *Ụgwọ ọrụ Nebukadneza*

17 Ọ ruo, n’iri afọ abụọ na asaa, n’ọnwa mbụ, n’ụbọchị nke mbụ, ka okwu nke
Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 18 “Nwa nke mmadụ, Nebukadneza bụ eze Babilọn
mere ka ndị agha ya lụsoo Taịa ọgụ n’ebe ọ dị ukwuu. Isi niile ọbụla ka e mere ka
ọ kwọchasịa, ubu niile kwa echihịara echihịa. Ma ya na ndị agha ya anataghị ụgwọ

* **29:10** 29:10 Ya bụ, mgbago Naịl † **29:16** 29:16 Maọbụ, Onyenwe ha

ọrụ ọbụla, n’agha ahụ o buru megide Taịa. 19 N’ihi nke a, Onye kachasị ihe niile
elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu sị: Lee, ana m aga inye Nebukadneza eze Babilọn ala
Ijipt. Ọ ga-akwakọrọ akụnụba ya, ọ ga-azacha ma bukọrọkwa ihe niile nke dị n’ala
ahụ. Ha ga-abụkwa ụgwọ ọrụ nke ndị agha ya. 20 Enyefeela m ala Ijipt n’aka ya, ka
ọ bụrụ ụgwọ ọrụ n’ihi ọrụ ya, n’ihi na ya na ndị agha ya rụụrụ m ya. Otu a ka Onye
kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri.”

21 “N’ụbọchị ahụ, aga m eme ka otu mpi‡ puputara ụlọ Izrel. Aga m asaghekwa
ọnụ gị n’etiti ha. Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.”

# 30

### *Abụ akwa n’ihi Ijipt*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 2 “Nwa nke mmadụ, buo amụma sịkwa, ‘Otu
a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu,

“ ‘Kwasienụ akwa ike ma sị,
“Ewoo, n’ihi ụbọchị ahụ!”
3 N’ihi n’ụbọchị ahụ adịla nso,
Ụbọchị nke ONYENWE ANYỊ abịala nso,
ụbọchị igwe ojii,
ụbọchị ga-ewetara mba dị iche iche mbibi.
4 Mma agha ga-abịakwasị Ijipt,
ihe mgbu ga-adakwasị Kush.
Mgbe ndị e gburu egbu ga-abụ aja dị n’ala,
a ga-ekpokọrọkwa akụnụba ya,
mebikwaa ntọala ya. Ala ya ga-abụkwa ihe e bibiri ebibi.

5 Kush* na Libiya, Lidiya na ndị Arebịa niile gwara ọgwa, Kub na ndị mba ọgbụgba
ndụ ahụ, na Ijipt ga-eso daa site na mma agha.

6 “ ‘Ọ bụ ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru:
“ ‘Ndị niile na-akwagide Ijipt ga-ada,
nganga niile nke ike ya ga-agwụsịkwa.
Site na Migdol ruo n’Aswan,
ọ bụ site na mma agha ka ha ga-ada n’ime ya.†
Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri.
7 Ha ga-atọgbọrọ n’efu,
n’etiti ala niile tọgbọrọ n’efu.
Obodo ha niile ga-abụ mkpọmkpọ ebe,
n’etiti ọtụtụ obodo e bibiri ebibi.
8 Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ,
mgbe m tinyesịrị ọkụ n’Ijipt,
mgbe m gwepịara ndị niile na-enyere ya aka.

9 “ ‘N’ụbọchị ahụ, aga m ezipu ndị ozi ndị ga-eji ụgbọ dị iche iche, ka ha gaa menye
ndị Kush egwu, bụ ndị onwe ha jụrụ afọ. Oke egwu ga-ejidekwa ha n’oge ahụ n’ihi
ihe dakwasịrị Ijipt, n’ihi ihe ndị a aghaghị imezu.

10 “ ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
“ ‘Aga m esite n’aka Nebukadneza eze Babilọn
bibie igwe ndị agha Ijipt niile.
11 Ya onwe ya na ndị agha ya, bụ mba kachasị mba niile njọ na-enweghị obi ebere,
ka a ga-akpọbata ka ha bịa bibie ala ahụ.

‡ **29:21** 29:21 Mpi N’ebe a na-egosipụta ịdị ike ha * **30:5** 30:5 Ya bụ, Itiopia † **30:6** 30:6 Ka a ga-eji gbuchapụ ha

Ha ga-amịpụta mma agha ha megide Ijipt,
werekwa ozu ndị e gburu egbu tụsasịa n’ala ahụ.
12 Aga m eme ka osimiri Naịl taa. Ọ ga-aghọkwa ala kpọrọ nkụ.
Aga m ewerekwa ala ahụ resi mba ndị ọjọọ.
Aga m ala ala ahụ na ihe niile dị n’ime ya n’iyi.
Ọ bụkwa ndị mba ọzọ ka m ga-eji mee ya.
Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola ya.

13 “ ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
“ ‘M ga-ala arụsị niile n’iyi,
mekwaa ka ihe niile a kpụrụ akpụ dị na Memfis kwụsị.
Onye eze agakwaghị adị ọzọ n’Ijipt,
aga m emekwa ka egwu jupụta n’ala ahụ niile.
14 Aga m emekwa ka Patros tọgbọrọ n’efu.
Aga m etinye ọkụ na Zoan,
ma taa Tibs ahụhụ.
15 M ga-awụkwasị Pelusium‡ ọnụma m,
bụ ebe siri ike nke Ijipt,
m ga-ebipụkwa igwe ndị Tibs niile.
16 Aga m amụnye ọkụ n’Ijipt,
Pelusium ga-anọ n’oke ihe mgbu.
A ga-eji ike tipịa Tibs.
Memfis ga-anọgidekwa n’ọnọdụ ọjọọ ụbọchị niile.
17 Ụmụ okorobịa Heliopolis na Bubasti
ga-anwụ site na mma agha.
Obodo ndị a niile ga-abụkwa ndị a dọtara n’agha.
18 Ụbọchị ahụ ga-agba ọchịchịrị na Tapanhis
mgbe m ga-agbaji yoku Ijipt,
n’ebe ahụ ka mpako nke ike ya ga-agwụsị.
Igwe ojii ga-ekpuchi ya,
a ga-adọtakwa obodo nta ya niile n’agha.
19 Aga m eme ka Ijipt taa ahụhụ dị ukwuu,
ka ha mata n’ezie na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.’ ”

### *Aka Fero agbajiela*

20 O ruo, n’afọ nke iri na otu ya, n’ụbọchị nke asaa, n’ọnwa nke mbụ, okwu nke
ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 21 “Nwa nke mmadụ, agbajiela m ogwe aka Fero, eze
Ijipt. Lee, o nwebeghị onye gbara ya ọkpụkpụ, ma ọ bụkwanụ kee ya ihe, ka o sie
ike ọzọ ijide mma agha. 22 N’ihi ya, nke a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ sịrị: Lee, mụ onwe m na-emegide Fero bụ eze Ijipt. Aga m agbaji ogwe aka ya
abụọ, ma nke siri ike ma nke gbajiri agbaji na mbụ. Aga m emekwa ka mma agha
ya si n’aka ya dapụ. 23 Aga m achụsa ndị Ijipt n’etiti mba niile tụsaakwa ha n’obodo
niile, 24 meekwa ka ogwe aka abụọ nke eze Babilọn sie ike. Aga m etinye mma agha
m n’aka ya, ma ogwe aka abụọ nke Fero ka m ga-agbajisi. Mgbe ahụ, Fero ga-asụ ude
n’ihu eze Babilọn dịka onye e merụrụ ahụ. 25 Aga m eme ka ogwe aka abụọ nke eze
Babilọn sie ike; ma ogwe aka Fero ga-akpọnwụ. Mgbe ahụ, ha ga-amatakwa na mụ
onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, mgbe m tinyere mma agha n’aka eze Babilọn, na mgbe o
setịpụrụ ya imegide Ijipt. 26 Aga m achụsa ndị Ijipt n’etiti mba niile, fesaa ha n’ala
niile. Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.”

‡ **30:15** 30:15 Maọbụ, Sin

# 31

*Fero dịka osisi sida nke Lebanọn*

1 O ruo, n'afọ nke iri na otu, n'ọnwa nke atọ, n'ụbọchị nke mbụ ya, okwu nke
ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 2 "Nwa nke mmadụ, gwa Fero eze Ijipt na ndị agha ya
niile okwu sị ha,
" 'Olee onye ahụ yiri gị n'ịdị ukwuu?
3 Tulee n'obi gị ihe gbasara Asịrịa,
nke bụ oke obodo bụrụkwa mba a maara aha ya.
Ọ dị ka osisi sida nke Lebanọn,
nke jupụtara n'alaka mara mma,
nke ọtụtụ alaka ya na-enye ndo, nke dị ezi ogologo,
nke alaka ọnụ ya topụrụ tokarịa osisi ọhịa niile.
4 O nwetara mmiri mere ka o buo ibu,
na isi iyi mmiri miri emi nke mere ka o too ogologo.
Iyi ha niile
na-asọ n'okpuru ya.
Ebe ahụ ka ha si ezipu
ụzọ mmiri ndị na-enye osisi ndị ọzọ dị n'ọhịa mmiri.
5 N'ihi ya, o toro tokarịa
osisi niile n'ogologo.
Ngalaba ya bara ụba,
alaka ya topụkwara ogologo
n'ihi ịdị ukwuu nke mmiri ha na-enweta.
6 N'alaka ya niile
ka anụ ufe niile nke eluigwe na-akpa akwụ,
n'okpuru ndo nke alaka ya niile
ka ụmụ anụ ọhịa niile mụrụ ụmụ,
oke mba niile dị iche iche
bikwara n'okpuru ndo ya.
7 Ọ mara mma n'ịdị ukwuu ya,
n'ogologo nke alaka ya n'awasa,
n'ihi na mgbọrọgwụ ya mibara emiba
n'ebe mmiri dị ukwuu.
8 Osisi sida niile dị n'ubi Chineke a gbara ogige
erughị ya n'ọtụtụ.
Ọ dighị osisi junipa niile
nwere ngalaba a ga-eji tụnyere nke ya,
osisi plenụ niile
adịghịkwa ka alaka ya,
ọ dịghịkwa osisi dị n'ubi Chineke a gbara ogige,
nke yiri ya n'ịma mma ya
9 Emere m ya ka ọ maa mma
site n'ịba ụba nke alaka o nwere,
ọ bụ ihe ekworo nye osisi niile nọ n'Iden
n'ubi Chineke a gbara ogige.
10 " 'N'ihi ya, ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru:
N'ihi na o* toro ogologo tokarịa osisi ọhịa niile, n'ihi na ọ nyara isi banyere ọnọdụ ịdị
ogologo ya karịa ndị ọzọ, 11 Eweere m ya nyefee n'aka onye ahụ na-achị mba niile, ka
o mesie ya ike, dịka ịba ụba nke ajọ omume ya si dị. Ewezugakwara m ya n'akụkụ.

---

* **31:10** 31:10 Ya bụ, sida ukwu ahụ

[12] Mba ahụ kachasị mba niile njọ na-enweghị obi ebere gbuturu ya, hapụ ya ka ọ
tọgbọrọ n’ala. Ngalaba ya dara n’elu ugwu ukwu niile nakwa n’ime ndagwurugwu
niile. Alaka ya kwa dajisịrị danyesịa n’ime ebe niile gbawara agbawa nke ala mmiri
si eru. Mba niile nke ụwa sitere n’okpuru ndo ya pụta wezuga onwe ha. [13] Ụmụ
nnụnụ niile bere n’elu ukwu osisi ahụ dara ada, n’etiti alaka ya niile ka ụmụ anụ
ọhịa bịara biri. [14] Ya mere, ka osisi niile nke dị n’akụkụ mmiri gharakwa eto ogologo,
maọbụ ka ọnụ ọnụ ya ghakwara ịdị elu karịa alaka ndị ahụ bara ụba. Nyekwa na ọ
dịkwaghị osisi ọbụla na-enwetazu mmiri nke ga-etoru osisi ndị ahụ n’ogologo. N’ihi
na edebela ha nye ọnwụ, nye ịrịdaru n’okpuru ụwa, n’etiti ndị mmadụ ndị na-arịda
n’olulu omimi ahụ.

[15] “ ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: N’ụbọchị ahụ
e mere ka ọ rịdaruo n’ala mmụọ, a kwụsịrị m ogbu mmiri niile were ha kpuchie
ya. A kwụsịrị nsọgharị nke mmiri, meekwa ka ịba ụba nke mmiri ya niile kwụsị.
N’ihi ya, eyinyere m Lebanọn uwe mkpe, osisi niile nke ọhịa kpọnwụkwara n’ihi ya.
[16] Emere m ka mba niile maa jijiji n’egwu n’ihi ọdịda ya, mgbe m tụnyere ya na ndị
ahụ na-aga n’olulu n’ime ala mmụọ. Mgbe ahụ, a kasịrị osisi niile mara mma obi, bụ
osisi ndị ahụ dị n’ogige Iden, na osisi ọma niile nke Lebanọn, ndị nke mgbọrọgwụ
ha na-enweta mmiri nke ọma. [17] Ha onwe ha kwa, dịka sida ukwuu ahụ, sokwaara
gbadaruo n’ala mmụọ, gakwuru ndị niile eji mma agha gbuo, ha na ndị ikom ji mma
agha bụ ndị biri n’okpuru ndo ya n’etiti mba dị iche iche.

[18] “ ‘Olee osisi dị n’Iden a ga-eji tụnyere gị n’ịma mma, na n’ịdị ebube? Ma gị onwe
gị kwa, na osisi ndị a niile dị n’Iden ka a ga-eme ka unu rịdaruo n’okpuru ụwa. Ị
ga-edina n’etiti ndị a na-ebighị ugwu, gị na ndị eji mma agha gbuo.

“ ‘Nke a bụ Fero na usuu ndị agha ya niile, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
ONYENWE ANYỊ kwubiri.’ ”

# 32

*Abụ akwa n’ihi Fero*

[1] N’afọ nke iri na abụọ, n’ọnwa nke iri na abụọ, n’ụbọchị nke mbụ ya, okwu nke
ONYENWE ANYỊ rutere m ntị, sị, [2] “Nwa nke mmadụ, buliere Fero bụ eze Ijipt, abụ
akwa sị ya,

“ ‘Ị dị ka ọdụm n’etiti mba niile.
    Ị dịkwa ka ogologo anụ ọjọọ na-anọ n’osimiri.
I na-akpụgharị onwe gị n’ime mmiri.
    I ji ụkwụ abụọ na-agbarụ mmiri,
    na-emekwa ka mmiri iyi niile gbarụọ.

[3] “ ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị,

“ ‘Aga m eji ọtụtụ ndị dị ukwuu n’ọnụọgụgụ
    gbasaa ụgbụ m n’elu gị.
    Ha ga-adọkpụkwara gị n’ime ụgbụ m.
[4] Aga m atụsa gị n’ala,
    n’ọhịa ka m ga-atụfukwa gị,
meekwa ka ụmụ nnụnụ niile nke eluigwe bekwasị gị.
    Aga m emekwa ka anụ ọhịa nke ụwa niile rijuo afọ n’anụ ahụ gị.
[5] Aga m tụsasịkwa anụ ahụ gị n’ugwu niile,
    werekwa ihe ọbụla fọdụrụ n’ime gị mejuo ndagwurugwu niile.
[6] M ga-eji ọbara gị na-asọ asọ dee ala niile dịka mmiri
    ọ bụladị ruo n’ugwu niile,
    ebe niile mmiri si erufe ga-ejupụtakwa n’anụ ahụ gị.
[7] Mgbe m ga-emenyụ gị dịka ọkụ, aga m ekpuchi ihu eluigwe,

meekwa ka kpakpando niile jie nji.
Aga m eji igwe ojii mechie ihu anyanwụ,
ọnwa agakwaghị enye ìhè ya.
8 Ihe niile nke na-enye ìhè n’eluigwe
ka m ga-eme ka ha jie nji n’elu gị,
mee ka ọchịchịrị gbachie n’ala gị niile, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
9 Aga m eweta obi mgbawa n’etiti ndị mmadụ dị iche iche
mgbe m ga-eme ka mbibi gị bịa n’etiti mba niile
n’ime ala dị iche iche nke ị na-amaghị.
10 Aga m eme ka i ju ọtụtụ ndị mmadụ anya,*
ndị eze ha ga-ama jijiji n’ụjọ maka gị
mgbe m ga-efegharị mma agha m n’ihu ha.
Onye ọbụla n’ime ha ga-ama jijiji†
na ntabi anya ọbụla n’ihi ndụ ya
n’ụbọchị ahụ, ị ga-ada.
11 “ ‘N’ihi na nke a bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
“ ‘Mma agha nke eze Babilọn
ga-abịakwasị gị.
12 Usuu ndị agha gị ga-adakwa n’ihu mma agha
nke ndị dị ike,
bụ ndị mba ahụ kachasị mba niile njọ.
Nganga niile nke Ijipt na ndị ya, ka ha ga-egwepịa.
Ha ga-akwatu usuu ndị agha ha niile.
13 Aga m emekwa ka anụmanụ ya niile,
nke na-ata ahịhịa n’akụkụ mmiri laa n’iyi.
Ụkwụ mmadụ, na ụkwụ anụmanụ
agakwaghị agbarụ mmiri ahụ ọzọ.
14 N’ihi ya, mmiri niile nke ya ga-adị ọcha,
na-asọkwa dịka mmanụ.
Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru.
15 Mgbe m bibiri Ijipt,
kpochapụkwa ihe niile dị n’ime ya,
mgbe m tidara ndị niile bi n’ime ya,
ha ga-amata n’ezie na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.’
16 “Nke a bụ abụ akwa ha ga-abụrụ ya. Ndị inyom mba dị iche iche ga-abụ ya.
Ha ga-abụ ya n’ihi Ijipt na usuu ndị agha ya, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
ONYENWE ANYỊ kwubiri.”

### *Nrịda Ijipt baa n’ala ndị nwụrụ anwụ*

17 N’afọ nke iri na abụọ ahụ, n’ụbọchị nke iri na ise nke ọnwa ahụ, okwu nke
ONYENWE ANYỊ rutere m ntị sị, 18 “Nwa nke mmadụ, tie mkpu akwa n’ihi usuu ndị
agha Ijipt niile, wezuga ha baa n’okpuru ụwa ma ndị inyom mba dị iche iche dị
ukwuu, ha na ndị ahụ na-arịdaru n’olulu. 19 Gwa ha okwu sị ha, ‘Unu o nwere
ihuọma karịa ndị ọzọ? Lee, ihe na-eche gị bụ olulu. Ọ bụkwa ndị a na-ebighị ugwu
ka ị ga-edinakwuru.’ 20 N’etiti ndị e ji mma agha gbuo ka ha ga-ada. Amịpụtala mma
agha maka ya, ka a dọkpụrụ ya na igwe ndị ya niile pụọ. 21 Ndị dike nke ndị ndu
dike ga-esite n’ala mmụọ kwuo banyere Ijipt na ndị niile ha na ya dị na mma, ‘Ha

* **32:10** 32:10 Nwee akpata oyi n’ebe ị nọ † **32:10** 32:10 Nke a bụ n’ihi egwu

arịdatala, ha na-edina ala ha na ndị a na-ebighị ugwu, nakwa ndị niile ahụ e ji mma agha gbuo.'
22 "N'ebe ahụ ka Asịrịa na ndị agha ya niile nọ; ili ndị niile o gburu egbu gbara ya gburugburu, bụ ndị niile nwụrụ site na mma agha.
23 Ili ha dị na nsọtụ niile nke olulu, ndị agha ya niile gbakwara ili ya gburugburu. E gbudala ndị niile mere ka oke egwu dị n'ala ndị dị ndụ. Ndị a nwụrụ site na mma agha.
24 "N'ebe ahụ ka Elam na usuu ndị agha ya nọ gbaa ili ya gburugburu. Ha niile bụ ndị e gburu egbu, ndị nwụrụ site na mma agha. Ndị niile mere ka oke egwu dị n'ala ndị dị ndụ arịdaruola n'olulu ahụ dịka ndị a na-ebighị ugwu. Ha esorola ndị ahụ rịdaruru n'ala mmụọ keta oke n'ihere dịrị ha.
25 E meere ya ebe ndina n'etiti ndị nwụrụ anwụ. Igwe mmadụ ya nwụrụ anwụ gbakwara ili ya gburugburu. Ha niile bụ ndị a na-ebighị ugwu, ndị e ji mma agha gbuo, n'ihi na-emere ka oke egwu ha dị n'ala ndị dị ndụ, ma ha na-eburu ihere ha, ha na ndị ahụ na-arịdaru n'olulu. Ha bụ ndị e debere n'etiti ndị nwụrụ anwụ.
26 "Meshek na Tubal nọkwa n'ebe ahụ, ha na usuu ndị agha ha niile, gburugburu ili ha. Ha niile bụkwa ndị a na-ebighị ugwu, ndị e ji mma agha gbuo, n'ihi na ha mere ka oke egwu ha dị n'ala ndị dị ndụ.
27 Ugbu a, e likọọla ha na ndị a na-ebighị ugwu, bụ ndị dike n'agha, ndị nwụrụ anwụ, ndị ji ngwa agha ha gbadaa n'ime ili ha, ndị e hinyere ngwa agha ha n'okpuru isi ha, ebe ọta‡ ha dịkwasịrị n'ọkpụkpụ mgbe e tinyere ha n'ili. Ma n'ezie, ndị a bụ dike n'agha mere ka oke egwu dị n'ala ndị dị ndụ.
28 "Ma gị onwe gị, bụ Fero, otu a ka a ga-esi gbajie gị, ị ga-edinakwa n'etiti ndị a na-ebighị ugwu, gị na ndị e ji mma agha gbuo.
29 "N'ebe ahụ ka Edọm na ndị eze ya, na ndịisi ya niile nọ. N'agbanyeghị ịdị ike ha, ha na ndị e ji mma agha gbuo tọgbọrọ n'ebe ahụ. Ha na ndị a na-ebighị ugwu so dinaa, bụ ndị na-arịdaru n'olulu.
30 "Ndịisi nke mba ndị ugwu, na ndị Saịdọn niile nọ n'ebe ahụ. Ụjọ niile nke ha sitere n'isiike ha menye ndị mmadụ egbochighị ha iketa oke n'ihere nke iso ndị e gburu egbu nwụọ. Ha soro ndị eji mma agha gbuo dinaa na-ebighị ugwu, buru ihere ha, ha na-arịdaru n'olulu.
31 "Fero na ndị agha ya niile ga-ahụ ndị a, ọ ga-enwe nkasiobi maka ndị ya niile, na usuu ndị agha ya niile ndị eji mma agha gbuo. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
32 N'agbanyeghị na emeela m ka ọ gbasaa ụjọ§ n'ala ndị dị ndụ, Fero na igwe mmadụ a niile ka a ga-eli n'etiti ndị a na-ebighị ugwu, ya na ndị ejiri mma agha gbuo. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri."

# 33

### *Nlọghachi Izikiel dịka onye nche*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị,
2 "Nwa nke mmadụ, gwa ndị gị okwu sị ha, 'Mgbe m wetara mma agha imegide mba ọbụla, ma ndị ala ahụ ahọpụta otu onye n'etiti ha mee ya ka ọ ghọrọ ha onye nche,
3 onye ga-ahụ mma agha ka ọ na-abịakwasị ala ahụ, ọ bụrụ na o gbuo opi ike, ịdọ ndị bi na mba ahụ aka na ntị banyere mma agha nke na-abịa,
4 ọ bụrụkwa na onye ọbụla anụ opi ike ahụ ma jụ ịnabatara onwe ya ịdọ aka na ntị ahụ, mma agha ahụ gbuo ya, ọbara ya ga-adịkwasị ya n'isi.
5 N'ihi na ha nụrụ ụda opi nke ịdọ aka na ntị ahụ ma ha geghị ntị. Ọ bụ ha wetaara onwe ha ịla n'iyi. A sị na ha gere ntị ha gaara azọpụta ndụ ha.
6 Ma ọ bụrụ na onye nche elepụ anya hụ ndị agha ka ha na-abịa hapụ igbu opi ịdọ ndị mmadụ aka na ntị, ọnwụ

‡ **32:27** 32:27 Eleghị anya ihe a ga-agụta n'akwụkwọ Hibru; ya bụ akwụkwọ Masoreti ga-abụ ntaramahụhụ ha dịkwasịrị n'ọkpụkpụ ha § **32:32** 32:32 Maọbụ, ka ụjọ ya dị

ha dị n'isi ya. Ha ga-anwụ n'ime mmehie ha, ma aga m ajụta ọbara ha site n'aka
onye nche ahụ.'
7 "Nwa nke mmadụ, emeela m gị ka ị bụrụ onye nche nye ụlọ Izrel. N'ihi ya, gee
ntị n'ihe m na-ekwu, ka ị dọọrọ m ha aka na ntị. 8 Mgbe m na-asị onye ajọ omume,
gị onye na-emebi iwu, ị ghaghị ịnwụ! Ọ bụrụ na ị kwughị okwu, ime ka o chigharịa
site n'ụzọ ya pụta, onye ahụ na-emebi iwu ga-anwụ n'ihi mmehie ya niile, ma n'aka
gị ka m ga-ajụta ọbara ha. 9 Ma ọ bụrụ na ị dọọ onye ajọ omume aka na ntị ka o
chigharịa site n'ụzọ ya pụta, ma o meghị nke a, ha ga-anwụ n'ihi mmehie ha, ma
ndụ gị onwe gị ka ị zọpụtara.
10 "Nwa nke mmadụ, gwa ụlọ Izrel, 'Otu a ka unu na-ekwu, "Njehie niile anyị na
mmehie niile anyị adịla arọ n'ahụ anyị. Ọ bụkwa n'ime ya ka anyị na-ata ahụ. Olee
otu anyị ga-esi dị ndụ?" ' 11 Gwa ha, 'Dịka m na-adị ndụ, otu a ka Onye kachasị ihe
niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara, ọnwụ onye na-emebi iwu adịghị atọ m ụtọ,
kama ọ na-atọ m ụtọ mgbe onye na-emebi iwu sitere n'ụzọ* ya chegharịa dịrị ndụ.
Chigharịanụ, sitenụ n'ụzọ ọjọọ† unu niile chigharịa. N'ihi gịnị ka unu ga-eji nwụọ,
unu bụ ụlọ Izrel?'
12 "N'ihi ya, nwa nke mmadụ, gwa ndị ala gị, 'Ezi omume nke onye na-eme ezi ihe
agaghị azọpụta ya ma ọ bụrụ na ọ tụgharịa, mee ihe ọjọọ. Otu a kwa, mmehie niile
nke onye na-emebi iwu agaghị eme ka ọ laa n'iyi ma ọ bụrụ na o chegharịa pụọ site
na mmehie.' 13 Ọ bụrụ na m asị onye ezi omume, na ọ ghaghị ịdị ndụ, ma onye dị
otu a atụkwasị obi n'ezi omume ya mee ajọ ihe, ọ dịghị ihe ezi omume nke onye dị
otu a mere nke a ga-echetakwa. Ha ga-anwụ n'ihi ajọ ihe ha mere. 14 Ma ọ bụrụ na
m asị onye ajọ omume, 'Ị ghaghị ịnwụ,' ma onye ahụ esite na mmehie ya chigharịa,
mee ihe ziri ezi na nke dị mma, 15 ọ bụrụ na o nyeghachi ihe ebe ọ naara n'aka ndị
ọ gbazinyere ego, kwụghachi ihe niile o zuuru n'ohi, gbasoo ụkpụrụ ahụ niile bụ
nke na-enye ndụ, gharakwa ime ajọ omume; onye dị otu a aghaghị ịdị ndụ, ọ gaghị
anwụ. 16 Ọ dịghị mmehie niile nke onye ahụ mere nke a ga-echeta megide ya. N'ihi
na o meela ihe ziri ezi na nke dịkwa mma, ọ gaghị ịdị ndụ.
17 "Ma ndị gị na-asị, 'Ụzọ Onyenwe anyị ezighị ezi.' Ma ọ bụ ụzọ ha bụ nke na-
ezighị ezi. 18 Ọ bụrụ na onye ezi omume esite n'ezi omume ya chigharịa malite ime
ihe ọjọọ, ọ ga-anwụ maka ya. 19 Ma ọ bụrụ na onye ajọ omume esite n'ajọ omume ya
chigharịa malite ime ihe ziri ezi na nke dị mma, ọ ga-adị ndụ site n'ime nke a. 20 Ma
unu bụ ụlọ Izrel na-asị, 'Ụzọ Onyenwe anyị ezighị ezi.' Ma aga m ekpe onye ọbụla
n'ime unu ikpe dịka ụzọ ya si dị."

### *Nkọwa maka ọdịda Jerusalem*

21 O ruo n'afọ nke iri na abụọ nke e mere ka anyị jee biri na mba ọzọ, n'ọnwa nke
iri, n'ụbọchị nke ise nke ọnwa ahụ, otu onye n'ime ndị sitere na Jerusalem gbapụ
bịakwutere m gwa m sị, "Obodo ahụ adaala." 22 Ma n'anyasị, tupu onye ahụ gbapụrụ
agbapụ abịa, aka ONYENWE ANYỊ ruru m ahụ, mee ka m nweekwa ike ikwu okwu ọzọ.
23 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 24 "Nwa nke mmadụ, ndị ahụ bi
n'ebe dakpọsịrị adakpọsị n'ala Izrel na-asị, 'Ebraham bụ otu nwoke, ma o nwetachara
ala a niile! Ma anyị dị ukwuu, n'ihi enyela anyị ala dịka ihe nweta anyị.' 25 Ya mere,
gwa ha, 'Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Ebe ọ bụ na
unu na-eri anụ nke ọbara dị n'ime ya, na-elekwasịkwa arụsị unu anya, na-awụsikwa
ọbara, o kwesiri ka unu nweta ala a? 26 Unu na-atụkwasị obi unu na mma agha
unu, unu na-eme ihe arụ dị iche iche, onye ọbụla n'ime unu na-emerụ nwunye onye
agbataobi ya. Ọ bụkwa ala nke a ka unu ga-enweta?'

* **33:11** 33:11 Ụzọ n'ebe a, na-ekwu maka mmebi iwu † **33:11** 33:11 Maọbụ, mmehie unu

27 “Gwa ha nke a, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
dịka m na-adị ndụ, ndị niile fọdụrụ n’obodo ahụ e tikpọrọ etikpọ ga-anwụcha site na
mma agha. Ndị bi n’ọhịa ka anụ ọhịa ga-atagbu. Ndị niile bi n’ọgba na n’ebe niile
e wusiri ike ga-anwụ site n’ọrịa. 28 Aga m eme ka ala unu ghọọ ebe tọgbọrọ n’efu.
Nganga ya, na ike ya ga-agwụsị. Obodo niile dị n’ugwu Izrel ga-aghọ ebe e tikpọrọ
etikpọ, mmadụ agakwaghị esite n’ebe ahụ gafee ọzọ. 29 Ha ga-amakwa na mụ onwe
m bụ ONYENWE ANYỊ, mgbe m mesiri ka ala ahụ ghọọ mkpọmkpọ ebe tọgbọrọ n’efu,
n’ihi ihe arụ niile nke ha mere.’
30 “Ma gị onwe gị, nwa nke mmadụ, ndị ala gị na-ekwu banyere gị n’akụkụ mgbidi
ha na n’ọnụ ụzọ ụlọ ha. Ha na-asịrịta onwe ha, ‘Bịanụ ka anyị gaa nụrụ ozi sitere
n’ọnụ ONYENWE ANYỊ.’ 31 Ha na-abịakwute gị dịka ndị mmadụ si abịa, ha na-anọrọ
ala n’ihu gị na-anụ ihe ị na-ekwu ma ha anaghị emepụta ya n’omume: n’ihi na ha
na-eji egbugbere ọnụ ha na-egosi ịhụnanya, ma obi ha nọ naanị na uru ọjọọ ha ga-
enweta. 32 N’anya ha, ị dịka onye ji ezigbo olu na-ekwe ukwe ịhụnanya, dịka onye
nwere olu ụtọ, nke na-abụ abụ dị ụtọ, na onye maara ka e si eti ịgba. Ha na-anụ ihe
ị na-ekwu ma ha ejighị ya kpọrọ ihe ọbụla.
33 “Ma mgbe nke a bịara na mmezu, n’ihi ọ ghaghị ịbịa, ha ga-amata na onye
amụma anọtụla n’etiti ha.”

# 34

*ONYENWE ANYỊ ga-abụ onye ọzụzụ atụrụ Izrel*

1 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 2 “Nwa nke mmadụ, buo amụma megide
ndị ọzụzụ atụrụ Izrel niile, buo amụma sị ha, ‘Ihe a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
ONYENWE ANYỊ kwuru: Ahụhụ na-adịrị unu ndị ọzụzụ atụrụ Izrel, ndị na-enyeju naanị
onwe ha afọ. Ọ kwesighị ka onye ọzụzụ atụrụ lekọtazie igwe atụrụ e tinyere n’aka
ya anya? 3 Unu na-eri abụba ha niile, unu na-eyi uwe ajị anụ, na-egbu anụ ndị mara
abụba n’agbanyeghị na unu adịghị elekọta igwe ewu na atụrụ m ndị a. 4 Unu anaghị
eme ka ndị na-adịghị ike dị ike, maọbụ gwọọ ndị na-arịa ọrịa, maọbụ kechie ọnya
ndị merụrụ ahụ. Unu adịghị akpọghachite ndị kpafuru akpafu, maọbụ pụọ ịchọ ndị
furu efu. Kama naanị aka ike ka unu ji na-achị ha. 5 N’ihi ya, ha agbasasịala n’ihi na
onye ọzụzụ atụrụ anọghị ya. Ha aghọkwaarala anụ ọhịa niile ihe oriri. 6 Igwe ewu
na atụrụ nke m na-awagharị n’ugwu niile, na n’elu ugwu nta niile. Ọ bụkwa n’elu
ụwa niile ka ha gbasara. Ọ dịkwaghị onye na-ajụ ajụjụ banyere ha. Ọ dịkwaghị onye
na-elenye anya n’ebe ha nọ.
7 “ ‘N’ihi nke a, unu ndị ọzụzụ atụrụ, nụrụnụ okwu nke ONYENWE ANYỊ: 8 Dịka mụ
onwe m na-adị ndụ, ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
ebe unu hapụrụ igwe atụrụ m na-enweghị onye ọzụzụ atụrụ, mee ka ha ghọọrọ anụ
ọhịa ihe oriri, ebe unu na-achọgharịghị ha, kama unu nọ na-enyeju onwe unu afọ,
ma hapụ igwe atụrụ m ka agụụ gbuo ha, 9 n’ihi ya, unu ndị ọzụzụ atụrụ, nụrụnụ
okwu nke ONYENWE ANYỊ: 10 Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
kwuru, Ana m edo onwe m megide ndị ọzụzụ atụrụ niile. Ọ bụkwa n’aka ha ka m
ga-ajụta ihe banyere igwe ewu na atụrụ m. Aga m eme ka ha kwụsị ị bụ ndị na-azụ
igwe ewu na atụrụ m, ka ndị ọzụzụ atụrụ ndị a ghara ịzụ onwe ha nri ọzọ. Aga m
esite n’ọnụ ha napụta igwe ewu na atụrụ m, ha agaghị abụkwara ha nri ọzọ.
11 “ ‘N’ihi na Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị, mụ onwe m ga-eji
aka m pụọ gaa chọgharịa igwe atụrụ m. Mụ onwe m kwa ga-elekọta ha. 12 Dịka
onye ọzụzụ atụrụ si elekọta igwe ewu na atụrụ ya anya, mgbe ha na ya nọ, otu a ka
m ga-esi lekọta igwe atụrụ m. Aga m anapụta ha site n’ebe niile ha gbasasịrị gaa,
n’ụbọchị igwe ojii na ọchịchịrị ahụ. 13 Aga m esite n’obodo niile, na mba niile ha nọ
kpọghachi ha n’ala nke ha. Aga m azụ ha nri n’elu ugwu niile nke Izrel, na n’akụkụ

mmiri niile, ebe ala na-ewepụta nri nke ọma. 14 Aga m azụ ha n'ebe ịta ahịhịa mara
mma, na n'elu ugwu niile nke Izrel. N'ebe ahụ ka ha ga-amakpukwa n'udo. Ha ga-ata
nri n'ebe ịta ahịhịa mara mma nke elu ugwu Izrel. 15 Ọ bụ mụ onwe m ga-abụ onye
ọzụzụ atụrụ nke atụrụ m niile. Aga m eme ka ha makpuru n'udo, otu a ka Onye
kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwupụtara. 16 Aga m achọ ndị furu efu n'ime
ha, ndị kpafuru akpafu, kpọghachite ha n'ụlọ. Aga m ekechi ọnya ndị merụrụ ahụ,
meekwa ka ọ dị ike. Ma ndị mara abụba na nke ndị ahụ dị ike ka m ga-ala n'iyi. Aga
m eji ikpe ziri ezi zụọ ha.
17 " 'Ma unu onwe unu, ụmụ igwe anụ ụlọ m, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu,
bụ Onyenwe anyị kwuru, aga m ekpe ikpe n'etiti atụrụ na atụrụ, ebule na mkpi. 18 Ọ
bụ unu ihe nta n'anya na unu na-ata nri kachasị mma? Unu ga-ejikwa ụkwụ zọtọsịa
nke fọdụrụ? Ọ bụ unu ihe nta n'anya na unu na-aṅụ mmiri nke kachasị mma? Unu
ga-ejikwa ụkwụ unu na-agbarụ nke fọdụrụ? 19 Ọ bụ ihe kwesiri ekwesi na igwe atụrụ
m ga-ata nri unu zọtọrọ azọtọ, ma ṅụọkwa mmiri unu gbarụrụ agbarụ?
20 " 'N'ihi ya, nke a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị ha, n'ezie,
mụ onwe m ga-ekpe ikpe n'etiti atụrụ ndị gbara abụba, na atụrụ ndị a tara ahụ.
21 N'ihi na unu ji akụkụ ahụ unu, na ubu aka unu na-enupu ha. Unu jikwa mpi
unu na-enupu ndị na-adịghị ike, tutu ruo mgbe unu chụsachara ha. 22 Lee, aga m
azọpụta igwe ewu na atụrụ m. Aga m ekpe ikpe n'etiti otu atụrụ na ibe ya. Ha
agaghị aghọkwa ihe oriri ọzọ. Aga m ekpe ikpe n'etiti otu atụrụ na ibe ya. 23 Aga m
edobe otu onye ọzụzụ atụrụ nke ga-elekọta ndị m, ọ bụladị ohu m Devid. Ya onwe
ya ga-elekọta ha, bụrụkwa onye ọzụzụ atụrụ nye ha. 24 Ma mụ onwe m bụ Onyenwe
anyị, ga-abụ Chineke ha, ma ohu m Devid ga-abụ onyeisi n'etiti ndị m. Mụ onwe m
bụ Onyenwe anyị ekwuola ya.
25 " 'Mụ na ha ga-agba ndụ udo. Aga m achụpụkwa anụ ọjọọ niile n'ala ha, ka ndị
m nwee ike ibi n'udo n'ọzara, ma rahụkwa ụra ọ bụladị n'etiti oke ọhịa n'enweghị
nsogbu. 26 Aga m agọzi ndị m, gọziekwa ebe obibi ha na ihe niile gbara ugwu nta m
gburugburu. Aga m ezite mmiri ozuzo n'oge ya, n'ezie, ngọzị ga-ezoro ha dịka mmiri.
27 Osisi ọhịa ga-amị mkpụrụ ya, ala ga-eme ihe omume ya. Ndị m ga-anọkwa n'udo
n'ala ha na-atụghị ụjọ. Ha ga-amatakwa na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị, mgbe m
tijasịrị mkpọrọ yoku niile ha, napụta ha site n'aka ndị na-akpagbu ha. 28 Ha agaghị
abụkwa mba ndị ọzọ na-apụnara ihe ha nwere, maọbụ ndị anụ ọhịa ga-adọgbu. Ha
ga-ebi na-atụghị ụjọ, ọ dịkwaghị onye ga-eme ka ha tụọ egwu. 29 Aga m enye ha ala
nke amaara nke ọma n'ihi ihe na-epupụta n'ime ya, ha agaghị abụkwa ndị ụnwụ
mekpara ahụ n'ala ahụ ọzọ, maọbụ ihe a na-akwa emo nke mba dị iche iche. 30 Ha
ga-amata na mụ onwe m, bụ Onyenwe anyị Chineke ha, na m na-anọnyere ha, na
ha onwe ha kwa, bụ ụlọ Izrel, bụ ndị m, otu a ka Onyenwe anyị Chineke kwupụtara.
31 Unu bụ igwe ewu na atụrụ m, atụrụ nke ebe ịta nri m, mụ onwe m bụkwa Chineke
unu. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri ya.' "

# 35

*Amụma megide Edọm*

1 Okwu Onyenwe anyị ruru m ntị, sị, 2 "Nwa nke mmadụ, chee ihu imegide n'ugwu
Sia, buo amụma megide ya, 3 sị ya, 'Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe
anyị sịrị: Mụ onwe m na-emegide gị, gị ugwu Sia. Aga m esetikwa aka m imegide
gị, mee gị ka ị ghọọ ebe tọgbọrọ n'efu. 4 Obodo gị niile ka m ga-eme ka ha ghọọ
mkpọmkpọ ebe, gị onwe gị ga-abụkwa ebe tọgbọrọ n'efu. Mgbe ahụ, ị ga-amata na
mụ onwe m bụ Onyenwe anyị.
5 " 'N'ihi na i sitere n'iro ahụ dị gị n'obi siterịị na mgbe ochie rara ụmụ Izrel nye
n'aka mma agha, n'oge ha nọ na-ahụju anya, n'oge ahụ ịta ahụhụ nke ajọ omume

ruru n’ogo dị ukwuu. 6 N’ihi nke a, ebe m na-adị ndụ, otu a ka Onye kachasị ihe niile
elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri, aga m enyefe gị n’aka ndị na-awụsi ọbara. Ọbara
ga-achụkwa gị ọsọ. Ebe ọ bụ na ị kpọghị iwusi ọbara asị, ọbara a ga-awụsị n’ime gị
ga-achụ gị ọsọ. 7 Aga m eme ka ugwu Sia ghọọ ebe tọgbọrọ n’efu. Aga m esitekwa
n’ime ya bipụ ndị na-abata abata, na ndị na-apụ apụ. 8 Ugwu ukwu gị niile ga-ejupụta
n’ozu ndị nwụrụ anwụ, ugwu nta niile, na ndagwurugwu niile na mgbawara niile
dị n’ala ga-ejupụta n’ozu ndị e ji mma agha gbuo. 9 Ị gaghị ebulitekwa isi gị ọzọ.
Ebe tọgbọrọ n’efu ka ị ga-abụ ruo ebighị ebi. A gaghị ewuzikwa obodo gị ọzọ. Ị
ga-amatakwa na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.
10 “ ‘N’ihi na ị sịrị, “Mba abụọ ndị a, na ala abụọ ndị a ga-abụ nke anyị, anyị ga-
enweta ha,” n’agbanyeghị na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ nọ n’ebe ahụ. 11 N’ihi
ya, ebe m na-adị ndụ, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri,
aga m emeso gị mmeso dịka ịba ụba nke iwe gị na ekworo gị si dị, bụ nke i gosiri
mgbe ị kpọrọ ha asị. Aga m emekwa ka ha mata onye m bụ, mgbe m kpesịrị gị ikpe.
12 Mgbe ahụ, ị ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ nụrụ okwu ọjọọ ndị ahụ
niile i kwuru megide ugwu Izrel niile, na-asị, “E meela ha ebe tọgbọrọ n’efu, ewerela
ha nyefee anyị n’aka ka anyị dọgbuo ha.” 13 Unu nyakwara isi megide m, kwuo okwu
kwugide m dịka o si dị unu mma. Anụkwara m ihe niile unu kwuru. 14 Ihe ndị a
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị, Mgbe ụwa niile na-aṅụrị ọṅụ
ka m ga-eme ka ị ghọọ mkpọmkpọ ebe. 15 Dịka ị ṅụrịrị ọṅụ mgbe ihe nketa Izrel
ghọrọ mkpọmkpọ ebe, otu a ka m ga-esi mesoo gị mmeso. Ị ga-aghọkwa ebe tọgbọrọ
n’efu, gị ugwu Sia, gị na ndị Edọm niile. Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ onwe m bụ
ONYENWE ANYỊ.’ ”

# 36

*Olileanya nye ugwu Izrel niile*

1 “Nwa nke mmadụ, buo amụma nye ugwu niile dị n’Izrel, na-asị ha, ‘Ugwu niile
nke Izrel, nụrụnụ okwu nke ONYENWE ANYỊ. 2 Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile
elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Ndị iro unu ekwuola megide unu sị, “Ahaa! Ebe niile
dị elu nke mgbe ochie aghọọla ihe nnweta anyị.” ’ 3 N’ihi ya, buo amụma sị, ‘Otu a
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: N’ihi na ha emeela ka unu
tọgbọrọ n’efu, chụgharịa unu ọsọ n’akụkụ niile, mekwaa ka unu ghọọrọ mba niile
ihe nnweta, ma meekwa ka unu bụrụ ndị a na-ekwujọ, na ndị a na-akọcha, 4 n’ihi
ya, unu ugwu niile nke Izrel, nụrụnụ okwu Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ. Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-agwa ugwu ukwuu
na ugwu nta niile, na mgbawara niile dị n’ala, na ndagwurugwu niile, na ebe niile
tọgbọrọ n’efu, na obodo ndị ahụ niile ndị mmadụ na-ebighị n’ime ya, nke ndị mba
ọzọ kwakọọrọ ihe dị ha n’ime, ma jirikwa ha na-eme ihe ọchị. 5 Ihe ndị a ka Onye
kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, Ọ bụ site n’ịnụ ọkụ nke obi m ka m
ji kwuo okwu megide mba ndị ọzọ, ma megidekwa Edọm, n’ihi na ọ bụ site n’ịkpọ
asị nke obi ha ka ha ji mee ka ala m bụrụ ihe nnweta ha, ka ha si otu a kposaa, ma
chịkọrọkwa ihe niile dị n’ebe ịta nri nke anụ ụlọ ala ahụ.’ 6 N’ihi nke a, buo amụma
banyere Izrel, gwa ugwu ukwu ya na ugwu nta ya niile, na mgbawara ala ya, na
ndagwurugwu ya niile, sị, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị,
ọ bụ site n’ọnụma nke ekworo ka m ji ekwu okwu ndị a, n’ihi na unu ahụọla ahụhụ
site na nlelị ndị mba ọzọ na-elelị unu. 7 N’ihi ya, ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile
elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, eweliri m aka m elu ṅụọ iyi na mba ndị a gbara unu
gburugburu ga-anọkwa n’ọnọdụ ihere.
8 “ ‘Ma unu, ugwu niile nke Izrel ga-awapụta ngalaba, mịakwa mkpụrụ nke ndị m
ga-eri, n’ihi na oge ha ga-alọghachi adịghịkwa anya. 9 Lee, mụ onwe m dịnyeere unu;

aga m abịa inyere unu aka, n’ihi na a ga-akọgharịkwa unu, kụọkwa mkpụrụ n’ime
unu. 10 Aga m emekwa ka ọnụọgụgụ ndị ga-ebi n’ime unu baa ụba, ọ bụladị ụlọ Izrel
niile. Ha ga-ebikwa n’obodo niile, wugharịakwa ebe niile e tikpọrọ etikpọ. 11 Aga m
eme ka ọnụọgụgụ ndị mmadụ, na anụ ụlọ dị n’ime gị baa ụba. Ha ga-amụbakwa,
jupụtakwa ebe niile. Ndị mmadụ ga-ebikwa n’elu gị dịka ha si biri n’oge gara aga.
Aga m emekwa ka ihe gaara ha nke ọma karịa ka ọ dị na mbụ. Mgbe ahụ, unu ga-
amata na mụ onwe m bụ Onyenwe anyị. 12 Aga m eme ka ndị m, ndị m bụ Izrel,
biri n’ime unu. Unu ga-abụ ihe nweta ha, unu ga-aghọkwara ha ihe nketa. Unu
agakwaghị agbaba ha aka ụmụ ọzọ.

13 “ ‘Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị sịrị, n’ihi na ụfọdụ mba na-ekwutọ
gị na-asị, “Ị bụ ala na-eri ụmụ ya, ala na-agbaba ndị ya aka ụmụ.” 14 N’ihi nke a, ị
gaghị erikwa mmadụ ọzọ. Ị gaghị agbawakwa mba gị aka ụmụ ọzọ. Ọ bụ ihe Onye
kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri. 15 Agaghị m emekwa ka ị nụrụ
mkparị nke ndị mba ọzọ na-akparị gị. Ị gaghị anọkwa ọnọdụ nke ga-eme ka ndị mba
ọzọ lelịa gị, maọbụ nọọ ọnọdụ nke ga-eme ka ị sọọ ngọngọ. Ọ bụ ihe Onye kachasị
ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri.’ ”

### *Nkwa banyere nlọghachi Izrel*

16 Ọzọkwa, okwu nke Onyenwe anyị rutere m ntị, sị, 17 “Nwa nke mmadụ, mgbe
ụmụ Izrel bi n’ala nke aka ha, ha merụrụ ya, site na ndụ ọjọọ ha, na omume ha.
Ndụ ọjọọ ha n’ihu m, dị ka adịghị ọcha nke nwanyị n’oge ọ nọ na nsọ ya, n’ọnwa
niile. 18 N’ihi ya, awụkwasịrị m ha ọnụma m, n’ihi na ha na-awụsi ọbara n’ala ahụ,
jirikwa arụsị ha na-emerụ ya. 19 Achụsasịrị m ha na mba dị iche iche. Otu a ka m
si kpee ha ikpe n’ihi ụzọ ọjọọ ha, na omume ọjọọ ha. 20 Ma ebe niile ha gara n’etiti
mba niile, ha mere ka aha nsọ m gharakwa ịdị nsọ, n’ihi na a na-ekwu banyere ha,
sị, ‘Ndị a bụ ndị nke Onyenwe anyị, ma agbanyeghị nke a, ha sitere n’ala ya pụọ.’
21 Ihe na-ewutekwa m bụ aha nsọ m, nke ụlọ Izrel mere ka ọ ghara ịdị nsọ n’etiti mba
niile bụ ebe ha gara.

22 “Ya mere, gwa ụlọ Izrel, Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị
kwuru: Ọ bụghị n’ihi na unu, ụlọ Izrel, ka m ji na-eme ihe ndị a, kama ọ bụ n’ihi
aha nsọ m, nke unu mere ka ọ ghara ịdị nsọ n’etiti mba niile dị iche iche ebe ndị
unu gara. 23 Aga m eme ka ịdị nsọ nke aha ukwuu m, nke unu mere ka ọ ghara ịdị
nsọ n’etiti mba niile, pụta ìhè. Mgbe ahụ, mba niile ga-amakwa na mụ onwe m bụ
Onyenwe anyị, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwupụtara,
mgbe a ga-edo m nsọ site n’ime unu n’anya ha.

24 “ ‘N’ihi na aga m esi na mba niile dị iche iche kpọpụta unu. Aga m achịkọta unu
site n’ala niile, mee ka unu bata n’ala unu. 25 Aga m efekwasị unu mmiri dị ọcha,
unu ga-adịkwa ọcha. Aga m eme ka unu dị ọcha* site na-adịghị ọcha unu niile, na
site n’ikpere arụsị unu niile. 26 Aga m enye unu obi ọhụrụ, kenyekwa unu mmụọ
ọhụrụ. Aga m ewepụ obi nkume nke mmehie dị n’ime unu, nye unu mkpụrụobi nke
anụ ahụ. 27 Aga m etinyekwa mmụọ m n’ime unu, mee ka unu gbaso ụkpụrụ m niile
ma lezie anya mekwaa ihe niile m nyere n’iwu. 28 Unu ga-ebikwa n’ala ahụ nke m
nyere nna unu ha. Unu ga-abụ ndị m, aga m abụkwa Chineke unu. 29 Aga m azọpụta
unu site na-adịghị ọcha unu niile. M ga-akpọ mkpụrụ ubi, mee ka o rie nne nke
ukwu, agaghị m emekwa ka ụnwụ dakwasị unu ọzọ. 30 Aga m emekwa ka mkpụrụ
osisi na ihe owuwe ubi baa ụba nke ukwuu, ka unu gharakwa ịnata ihere ọzọ n’ihi
ụnwụ,† n’etiti mba niile dị iche iche. 31 Mgbe ahụ, unu ga-echeta ụzọ ọjọọ unu niile
na omume ọjọọ unu niile, unu ga-asọkwa onwe unu oyi n’ihi mmehie unu na ihe
arụ niile unu mere. 32 Ma achọrọ m ka unu mata na ọ bụghị n’ihi mma unu ka m ji

* **36:25** 36:25 Maọbụ, Aga m asachapụ unu † **36:30** 36:30 Maọbụ, n’ihi ụkọ nri

na-eme ihe ndị a. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
Unu ụlọ Izrel, ihere kwesiri ime unu n’ihi omume ọjọọ unu mere.
33 “ ‘Nke a bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: N’ụbọchị ahụ
m ga-eme ka ị dị ọcha site na mmehie gị niile, aga m eme ka unu lọghachi n’obodo
unu biri, a ga-ewugharịkwa ebe niile tọgbọrọ n’efu. 34 Ala ubi ndị ahụ nke tọgbọrọ
n’efu agaghị atọgbọkwa n’efu n’ihu anya ndị na-agafe agafe. A ga-akọkwa ha niile.
35 Mgbe ahụ, ha ga-asị, “Ala a, nke naara atọgbọ n’efu, aghọọla ubi a gbara ogige,
nke yiri ogige Iden. Leekwa na obodo niile ndị ahụ e tikpọrọ etikpọ, ka e wuzikwara,
werekwa mgbidi gbaa ha ogige. Ugbu a, ndị mmadụ jupụtakwara n’ime ha.” 36 Mgbe
ahụ, mba niile gbara unu gburugburu, bụ ndị fọdụrụ, ga-amata na mụ onwe m bụ
ONYENWE ANYỊ wuziri ebe niile e tikpọrọ etikpọ, kụọkwa mkpụrụ n’ebe niile tọgbọrọ
n’efu. Mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, ekwuola, aga m emekwa ya.’
37 “Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, ọzọkwa, aga m
ege ntị, zaa ekpere ụlọ Izrel, mezuoro ha arịrịọ ha. Aga m eme ka ha baa ụba dịka
igwe anụ ụlọ, 38 dịka igwe anụ ụlọ, nke na-ejupụta na Jerusalem n’oge mmemme
ya niile a kara aka. N’ụzọ dị otu a, obodo niile e tikpọrọ etikpọ ga-ejupụtakwa na
mmadụ ọzọ. Mgbe ahụ ha ga-amatakwa na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.”

# 37

*Ndagwurugwu ọkpụkpụ kpọrọ nkụ*

1 Aka nke ONYENWE ANYỊ dịkwasịrị m, o sitekwara n’ike Mmụọ nke Onye kachasị
ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ bulie m, debe m n’etiti ndagwurugwu nke jupụtara
n’ọkpụkpụ. 2 O mere ka m jegharịa n’etiti ha. Ahụrụ m ọkpụkpụ kpọrọ nkụ, nke
dị ukwuu n’ọnụọgụgụ, ka ha ghasa na ndagwurugwu ahụ. 3 Ọ sịrị m, “Nwa nke
mmadụ, ọkpụkpụ ndị a ha pụrụ ịdị ndụ ọzọ?”
Asịrị m, “Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ọ bụ naanị gị onwe gị maara.”
4 Mgbe ahụ, ọ sịrị m, “Buo amụma nye ọkpụkpụ ndị ahụ, gwa ha, ‘Unu ọkpụkpụ
niile kpọrọ nkụ, geenụ ntị n’okwu nke ONYENWE ANYỊ. 5 Ihe ndị a ka Onye kachasị
ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-agwa ọkpụkpụ ndị a. Lee, aga m eme ka ume
baa n’ime unu, unu ga-adịkwa ndụ. 6 Aga m etinyekwasị unu akwara, na anụ ahụ,
werekwa akpụkpọ ahụ kpuchie unu. Aga m etinye ume n’ime unu, unu ga-adịkwa
ndụ. Mgbe ahụ, unu ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.’ ”
7 Ya mere, eburu m amụma dịka e sị nye m n’iwu. Mgbe m nọ na-ebu amụma
ahụ, anụrụ m ụzụ, ụzụ mkpọtụ. Ma lee, ọkpụkpụ ndị ahụ niile bịara ibe ha nso;
ọkpụkpụ malitekwara ijikọta onwe ha ọnụ. 8 Mgbe m nọkwa na-ele anya, lee, ahụrụ
m ka akwara na anụ ahụ malitere ịbịakwasị n’elu ọkpụkpụ ndị ahụ, akpụkpọ ahụ
kpuchikwara elu ha. Ma n’oge a ume ọbụla adịghị n’ime ha.
9 Mgbe ahụ, ọ sịrị m, “Buo amụma nye ifufe; buo amụma, nwa nke mmadụ, sị
ifufe, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: site n’akụkụ
anọ nke ụwa bịa, gị ume na-enye ndụ, kukwasị ndị a e gburu egbu ka ha dịkwa ndụ
ọzọ.’ ” 10 Ya mere, eburu m amụma dịka o si nye m n’iwu. Ume ndụ banyekwara
n’ime ha. Ha niile dịịrị ndụ, bilie ọtọ, guzo n’ụkwụ ha, ghọọ usuu ndị agha dị ukwuu
n’ọnụọgụgụ.
11 Mgbe ahụ, ọ gwara m, “Nwa nke mmadụ, ọkpụkpụ ndị a nọchiri anya ụlọ Izrel
niile. Ha na-asị, ‘Anyị aghọọla ọkpụkpụ kpọrọ nkụ, olileanya niile agwụkwala, anyị
abụrụla ndị e bipụrụ.’ 12 N’ihi ya, buo amụma gwa ha, ‘otu a ka Onye kachasị ihe
niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, Ndị m, aga m emeghe ili unu, si n’ebe ahụ wepụta
unu. Aga m eme ka unu lọghachitakwa n’ala Izrel. 13 N’ikpeazụ, mgbe m meghere
ili unu mee ka unu si n’ime ya pụta, unu bụ ndị m ga-amata na mụ onwe m bụ
ONYENWE ANYỊ. 14 Aga m etinye Mmụọ m n’ime unu, unu ga-adị ndụ, lọghachikwa

n'ala unu ọzọ. Unu ga-amatakwa na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ, ekwuola ya,
meekwa ya, otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.' "

*Otu mba, otu eze*

[15] Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, [16] "Nwa nke mmadụ, were osisi dee ihe ndị
a n'elu ya, 'Osisi a nọchiri anya Juda na ndị Izrel e kekọtara ya na ha ọnụ.' Werekwa
osisi ọzọ deekwa okwu ndị a n'elu ya. 'Osisi a nọchiri anya Ifrem, na Josef, na ndị
Izrel niile e jikọtara ha na ndị a ọnụ.' [17] Jidekọtaa osisi abụọ ndị a ọnụ, mee ka ha
bụrụ otu osisi n'aka gị.
[18] "Mgbe ndị gị jụrụ gị, 'Ị gaghị egosi anyị ihe nke a pụtara?' [19] gwa ha, sị, 'Otu a ka
Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Lee, agaje m iwere osisi Josef,
nke dị Ifrem n'aka, nke bụkwa ihe nọchiri anya ebo ụfọdụ ndị Izrel, jidekọtaa ya na
osisi nọchiri anya Juda, mee ha ka ha ghọọ otu osisi, bụrụkwa otu n'aka m.' [20] Were
mkpirisi osisi ndị ahụ i dere ihe nke dị n'aka gị, gosi ha, [21] ma gwakwa ha, 'Otu a
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Aga m esite na mba niile
ndị Izrel jere biri kpọpụta ha. Aga m achịkọtakwa ha site n'akụkụ niile, kpọbata ha
n'ala nke aka ha. [22] Aga m eme ha ka ha bụrụ otu mba n'ala ahụ, n'ugwu niile nke
Izrel. Ha ga-enwe naanị otu eze nke ga-achị ha niile. Ha agaghị abụkwa mba abụọ
maọbụ alaeze abụọ ọzọ. [23] Ha agaghị ejikwa arụsị ha niile, maọbụ ihe a pịrị apị rụrụ
arụ, maọbụ jiri ihe ọjọọ ndị ọzọ dị iche iche merụọ onwe ha ọzọ. N'ihi na aga m
azọpụta ha site na ịlaghachi azụ n'ụzọ mmehie ha niile, meekwa ka ha dị ọcha. Ha
ga-abụ ndị m, mụ onwe m ga-abụkwa Chineke ha.
[24] " 'Ohu m, Devid, ga-abụ eze ga-achị ha, ha ga-enwekwa otu onye ọzụzụ atụrụ.
Ha ga-edebezu iwu m niile, na ụkpụrụ m niile. [25] Ha ga-ebi n'ala ahụ m nyere ohu m
Jekọb, ala ebe nna nna ha biri. Ha na ụmụ ha ga-ebi n'ime ya. Ụmụ ụmụ ha ruo ọgbọ
niile ga-ebikwa n'ime ya. Ohu m Devid ga-abụ eze ha ruo ebighị ebi. [26] Mụ na ha
ga-agba ndụ udo, ọgbụgba ndụ nke ga-adị ruo mgbe ebighị ebi. Aga m agọzi ha, mee
ka ha baa ụba. N'etiti ha kwa ka ụlọnsọ m ga-adị ruo mgbe ebighị ebi. [27] Ebe obibi m
ga-abụkwa n'etiti ha. E, aga m abụ Chineke ha, ha ga-abụkwa ndị m. [28] Mgbe ụlọnsọ
m ga-adị n'etiti ha ruo ebighị ebi, mba niile ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE
ANYỊ na-edo Izrel nsọ.' "

# 38

*Mmeri dị ukwuu nke ONYENWE ANYỊ meriri ọtụtụ mba*

[1] Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, [2] "Nwa nke mmadụ, chee ihu n'ala Magog,
bukwaa amụma megide Gog, bụ onyeisi nke Meshek* na Tubal. Buo amụma megide
ya, [3] sị, 'Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Ana m edo
onwe m imegide gị, Gog, eze ukwu ndị Meshek na Tubal. [4] Aga m echigharị gị, tinye
gị nko n'agba gị abụọ, jiri ya kpụpụta gị na usuu ndị agha gị niile, na ịnyịnya gị, na
ndị na-agba ịnyịnya gị na ihe agha ha, na usuu ndị agha gị niile, ndị ji ọta ukwu na
ọta nta, ndị niile na-ejide mma agha ha. [5] Peshịa na Itiopia,† na Put, ga-esonyere ha,
ha niile ga-ejikwa ọta ha na okpu agha ha. [6] Goma na usuu ndị agha ya niile, na ndị
agha Bet Togama ndị si n'akụkụ ugwu, dị ebe dị anya na ọtụtụ ndị mba ọzọ ga-eso
gị.
[7] " 'Jikere! Jikere onwe gị, gị onwe gị na usuu ndị agha ahụ nọ gị gburugburu, gị
Gog, bụrụkwa onyendu ha. [8] Mgbe ọtụtụ ụbọchị gasịrị, a ga-akpọlite gị ibu agha.
N'ogologo oge dị n'ihu, ị ga-ebuso ala ahụ agha bụ ala ahụ na-enwetaghachi onwe ya
site na mbibi nke ibu agha; ala ahụ e si na mba dị iche iche chịkọtaa ndị bi n'ime ya,
mee ka ha birikwa n'ugwu niile nke Izrel ahụ naara atọgbọ n'efu. E bulatara ha site

---

* **38:2** 38:2 Ya bụ, Roshu † **38:5** 38:5 Maọbụ, Kush.

na mba dị iche iche, ma ugbu a, ha anọrọla n’udo. 9 Gị onwe gị, na ndị agha gị niile,
na ọtụtụ ndị mba ahụ dị iche iche ndị na-eso gị, jiri ọsọ, dịka ikuku siri ike, rigoo,
kpuchie ala ahụ dịka igwe ojii.
10 “ ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: N’ụbọchị ahụ,
echiche ọjọọ ga-abata n’obi gị, mgbe ị na-atule ọtụtụ ihe dị iche iche n’obi gị. 11 Ị
ga-asị, “Aga m ebuli megide n’ala na-enweghị mgbidi, aga m awakpo ndị nọ n’udo
na-adịghị atụ anya nsogbu ọbụla, ha niile bụ ndị bi n’ebe na-enweghị mgbidi, ha
enweghịkwa ibo ọnụ ụzọ na mkpọrọ e ji akpọchi ha. 12 Aga m akwata ihe nkwata,
lụtakwa ihe nlụta n’agha. Aga m eweli aka m megide obodo ndị a niile e wugharịrị
ewugharị, megidekwa ndị a niile e si na mba dị iche iche chịkọtaa, bụ ndị bara
ọgaranya n’anụ ụlọ na ngwongwo dị iche iche, ndị bikwa n’etiti ala a.” 13 Ndị Sheba
na Dedan, na ndị ahịa Tashish niile, na ụmụ ọdụm ya niile ga-ajụ gị, “Ị bịara ịkwata
ihe nkwata? Ị chịkọtara usuu ndị agha gị n’ihi ịkwara ihe nlụta, na iburu ọlaọcha
na ọlaedo, na ịchịrị igwe anụ ụlọ ha, na ngwongwo ha, na ịkwakọrọ ihe ha nwere
n’ike?” ’

*Amụma megide Gog*

14 “N’ihi ya, nwa nke mmadụ, buo amụma sị Gog, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile
elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: N’ụbọchị ahụ mgbe ndị m bụ Izrel na-ebi n’udo n’ala
ha, ọ bụ na ị gaghị ahụta ya? 15 Ị ga-esi n’ebe obibi gị dị n’ugwu bịa, gị na ọtụtụ
mba dị iche iche, ndị na-anọkwasị n’ịnyịnya. Ha ga-adị ukwuu, bụrụ ndị agha dị ike.
16 Unu ga-abịa ibuso ndị m Izrel agha, kpuchie ala ha dịka igwe ojii. N’ụbọchị ndị
ahụ dị n’ihu, aga m eme ka gị, bụ Gog, bịa buso ala m agha, ka mba niile si otu a
mata m, mgbe m mere ka ịdị nsọ m pụta ìhè n’anya ha site n’ihe m ga-eme.’
17 “ ‘Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Ọ bụ gị, bụ
onye ahụ m kwuru okwu banyere ya n’oge gara aga, site n’ọnụ ndị ohu m, bụ ndị
amụma Izrel, ndị buru amụma ọtụtụ afọ na mgbe ahụ, sị, na m ga-eme ka ị megide
ndị m. 18 Lee ihe ga-eme n’ụbọchị ahụ. Mgbe Gog busoro ala Izrel agha, ọ ga-esi
otu a kpalie iwe m dị ọkụ. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
kwupụtara. 19 N’ihi na esitere m n’ịnụ ọkụ nke obi m, na oke iwe m kwupụta sị,
na ala ọma jijiji dị ukwuu ga-adị n’Izrel n’ụbọchị ahụ. 20 Azụ niile dị n’oke osimiri,
na anụ ufe nke eluigwe, na anụ ọhịa, na ihe niile na-akpụ akpụ, na mmadụ niile nọ
n’elu ụwa ga-ama jijiji n’ihu m. A ga-akwatu ugwu niile, ebe niile dị mkputamkpu
ga-adarukwa ala. 21 Aga m akpọlite mma agha ka o megide Gog n’ugwu m niile. Onye
ọbụla ga-ejikwa mma agha ya megide nwanne ya nwoke. Otu a ka Onye kachasị ihe
niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya. 22 Aga m eji ọrịa na-efe efe na iwusi ọbara
kpee ya ikpe. Aga m awụkwasị ya na ndị agha ya na ọtụtụ mba dị iche iche ndị ahụ
so ya, oke mmiri ozuzo na akụmmiri, na nkume ọkụ. 23 Otu a ka m ga-esi gosi ịdị
ukwuu m, na ịdị nsọ nke aha m. Aga m emekwa ka a mara m n’anya mba niile dị
iche iche. Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.’

## 39

1 “Ma gị, nwa nke mmadụ buo amụma megide Gog, sị, ‘Otu a ka Onye kachasị ihe
niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu: Ana m emegide gị, Gog, onyeisi nke Meshek
na Tubal. 2 Aga m echigharị gị, kpụrụ gị na-aga. Aga m esi n’ebe dịkarịsịrị anya
n’akụkụ ugwu kpọta gị, ziga gị ka i buso ugwu niile nke Izrel agha. 3 Mgbe ahụ, aga
m etichapụ ụta dị gị n’aka ekpe, meekwa ka àkụ niile nke dị n’aka nri gị dachapụ.
4 N’elu ugwu niile nke Izrel ka ị ga-ada, gị onwe gị, na usuu ndị agha gị niile, na
mba niile dị iche iche ndị na-eso gị. Udele niile dị iche iche na anụ ọhịa niile ka m
ga-enyefe anụ ahụ unu ka ha were unu mere ihe oriri. 5 Ị ga-ada n’ọhịa na-enweghị
ebe nzobe, n’ihi na m ekwuola ya. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE

ANYỊ kwubiri. 6 Aga m awụkwasị ọkụ n'ahụ Magog, na n'ahụ ndị ahụ niile bi n'udo,
n'ọnụ mmiri niile. Ha ga-amatakwa na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ.
7 " 'Aga m eme ka amara aha nsọ m n'etiti ndị m bụ Izrel. Agaghị m ekwekwa ka
e leḷịa aha nsọ m anya ọzọ.* Mba niile dị iche iche ga-amatakwa na mụ onwe m bụ
ONYENWE ANYỊ, bụ Onye nsọ nọ n'Izrel. 8 Lee, ọ na-abịa, n'ezie, ọ ga-emekwa, otu a
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri. Nke a bụ ụbọchị ahụ nke
m kwuru ihe banyere ya.
9 " 'N'oge ahụ, ndị bi n'obodo niile nke Izrel ga-apụ tụtụkọtaa ngwa agha ndị ahụ,
were fụnwue ọkụ, surekwaa ha ọkụ, ma ọta ukwu ma ọta nta niile, ụta na àkụ
niile, ma mkpọ agha na ùbe niile. Ọ bụ afọ asaa ka ha ga-eji ha mere nkụ. 10 Ha
agaghị akpatakwa nkụ site n'ọhịa ọzọ, maọbụ gbuta ha site n'oke ọhịa, n'ihi na ha
ga-eji ngwa agha ndị a mere ihe ịfụnwu ọkụ. Mgbe ahụ, ha ga-akwata ihe onwunwe
nke ndị ahụ kwakọrọ ihe onwunwe ha n'agha, lụtakwa ihe onwunwe nke ndị ahụ
lụnara ha ihe onwunwe ha n'ike. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwubiri.
11 " 'N'ụbọchị ahụ, aga m enye Gog ebe olili ya n'Izrel, n'ime ndagwurugwu si
ọwụwa anyanwụ gawa n'ụzọ oke osimiri. Ọ ga-anọchi ụzọ ndị ije n'ihi na ebe ahụ
ka a ga-eli Gog na usuu ndị agha ya. Ya mere, a ga-akpọ ya Ndagwurugwu Hamọn
Gog.
12 " 'Ọnwa asaa ka ọ ga-ewe ndị Izrel ili ozu ahụ niile, ime ka ala ahụ dị ọcha. 13 Ndị
niile nke ala ahụ ga-eli ha, ụbọchị ahụ m ga-eme ka ebube m pụta ìhè ga-abụ ụbọchị
ihe ncheta nye ha. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri. 14 A
ga-ekewapụtakwa ndị ọrụ ha ga-abụ naanị ime ka ala ahụ dị ọcha. Ha ga-ejegharị
n'ala ahụ niile, ha na ndị ọzọ, na-eli ozu ọbụla bụ ndị tọgbọrọ n'ala.
" 'Mgbe ọnwa asaa zuru, ha ga-edo anya chọgharịa n'ala ahụ ma o nwere ebe ozu
ọzọ dị. 15 Mgbe ahụ, ha na-ejegharị, ọ bụrụ na onye ọbụla achọta ọkpụkpụ mmadụ
ọ ga-amanye ihe ịrịbama n'akụkụ ya, ka ndị na-eli ozu hụ ha, kporokwa ha gaa na
Ndagwurugwu Gog na ndị agha ya lie ha. 16 Ọzọkwa, otu obodo aha ya bụ Hamona,
nke pụtara ọtụtụ, ga-adị n'ebe ahụ. Otu a ka ha ga-esi mee ka ala ahụ dị ọcha.'
17 "Nwa nke mmadụ, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
kpọọ ụmụ nnụnụ niile oku, na anụ ọhịa niile dị iche iche, sị ha, 'Chịkọtaanụ onwe
unu, site n'akụkụ niile bịanụ n'ọchụchụ aja m, nke mụ onwe m na-achụ n'ihi unu, bụ
aja dị ukwuu nke m na-achụ n'elu ugwu niile dị n'Izrel. N'ebe ahụ ka unu ga-anọ taa
anụ, ṅụọkwa ọbara. 18 Anụ ahụ ndị dị ike ka unu ga-eri, ọ bụkwa ọbara ndịisi niile
nke ụwa ka unu ga-aṅụ, dịka a ga-asị na ha bụ ebule na ụmụ atụrụ, na mkpi, na oke
ehi, anụ mara abụba nke si na Bashan. 19 Unu ga-erijukwa abụba afọ, ṅụbigakwa
ọbara oke ruo mgbe ọ ga-ebu unu, site n'aja mmemme nke m na-achụ n'ihi unu.
20 Afọ anụ ịnyịnya, na ụgbọala, na nke ndị dike, na nke ndị agha niile ga-eju unu na
tebul m.' Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.
21 "Mgbe ahụ, aga m egosi ebube m na nsọpụrụ m n'etiti mba niile dị iche iche.
Mba niile ga-ahụkwa ahụhụ nke m tara ha, na aka m nke m tụkwasịrị ha. 22 Site
n'ụbọchị ahụ gaa n'ihu, ụlọ Izrel ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke
ha. 23 Mba niile ga-amatakwa na ọ bụ n'ihi mmehie ka e ji dọta Izrel n'agha, buru
ha jee mba dị iche iche. Ha ga-amata na ihe dị otu a dakwasịrị ha n'ihi ekwesighị
ntụkwasị obi ha. Ọ bụ n'ihi ya ka m ji zoo ihu m site n'ebe ha nọ, were ha nyefee
n'aka ndị iro ha. Ha niile dakwara site na mma agha. 24 Atara m ha ahụhụ dịka
adịghị ọcha ha na ajọ omume ha si dị. Ezokwara m ihu m site n'ebe ha nọ.
25 "N'ihi ya, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, Aga m
eme ka Jekọb a dọtara n'agha lọta. Aga m enwekwa obi ebere n'ahụ ndị Izrel niile.

* **39:7** 39:7 Mee ka ọ ghara ịdị nsọ ọzọ

Aga m esitekwa n'ekworo mee ka aha m dịgide nsọ. [26] Ha ga-echezọkwa ihe ihere
ha, na-ekwesighị ntụkwasị obi ha niile, nke ha gosiri m, mgbe ha biri n'udo n'ala
ha, na-enweghị onye na-eme ka ha tụọ egwu. [27] Mgbe m mere ka ha site na mba dị
iche iche pụta, mgbe m sitere n'ala niile nke ndị iro ha kpọpụta ha, aga m esite na
ha gosi ịdị nsọ m nye mba dị iche iche. [28] Mgbe ahụ, ha ga-amata na mụ onwe m bụ
Onyenwe anyị Chineke ha. Ha ga-amata na ọ bụ ezie na ọ bụ m mere ka a dọta ha
n'agha buru ha jee mba dị iche iche, na m ga-achịkọta ha mee ka ha lọghachi n'ala
nke aka ha. Ọ dịkwaghị onye a ga-ahapụ na mba ọzọ. [29] Agaghị m ezokwa ihu m ọzọ
n'ebe ha nọ, n'ihi na aga m awụkwasị ụlọ Izrel Mmụọ m. Otu a ka Onye kachasị ihe
niile elu, bụ Onyenwe anyị kwubiri ya."

# 40

*Ụlọnsọ ukwu ọhụrụ*

[1] N'afọ nke iri abụọ na ise nke e mere ka anyị biri na mba ọzọ, na mbido afọ ahụ,
n'ụbọchị nke iri, nke ọnwa ahụ n'afọ nke iri na anọ site na mgbe obodo ahụ dara,
n'otu ụbọchị ahụ ka aka Onyenwe anyị dịkwasịrị m n'ahụ. O mere ka m bịa n'ebe
ahụ. [2] N'ọhụ dị iche iche Chineke mere ka m hụ, o buuru m gaa n'ala Izrel, debe
m n'elu ugwu dị elu nke ukwu, ebe m nọ hụ ihe dịka obodo a na-ewu ọhụrụ, nke
dị n'akụkụ ndịda ugwu ahụ. [3] O mere ka m bịaruo n'ebe ahụ, ma lee, ahụrụ m
otu nwoke nke ụdịdị ya na-enwu dịka bronz ka o guzo n'akụkụ ọnụ ụzọ ama. Ọ
na-ejide eriri akwa ọcha, na osisi e ji atụ ihe n'aka ya. [4] Nwoke ahụ sịrị m, "Nwa
nke mmadụ, lezie anya nke ọma, gekwaa ntị tinyekwa ihe niile m gaje igosi gị n'obi,
n'ihi na-akpọtara m gị n'ebe a n'ihi ka ịhụ ihe ndị a. Gwakwa ụmụ Izrel ihe niile ị
hụrụ."

*Ọnụ ụzọ ama nke ọwụwa anyanwụ na ogige dị na mpụta*

[5] Mgbe ahụ, ahụrụ m mgbidi gbara ụlọnsọ ahụ gburugburu. Ịdị ogologo nke osisi
ihe ọtụtụ nke dị n'aka nwoke ahụ, ruru mita atọ na ụma abụọ, nke ọbụla n'ime ha
ruru iri sentimita ise na atọ.* Ọ tụrụ mgbidi ahụ, chọpụta na ịla elu ya dị mita atọ
na ọkara. Ịsa mbara ya dịkwa mita atọ na ọkara.
[6] Emesịa, ọ gara n'ọnụ ụzọ ahụ chere ihu n'ọwụwa anyanwụ, rigoro n'ihe nrigo elu,
tụọ ala ala ụzọ mbata nke ọnụ ụzọ ahụ. Obosara ya dị mita atọ na ọkara. [7] Oghere
dị n'ụlọ ahụ nke bụ ebe ndị nche na-anọ dị mita atọ n'ọkara n'obosara. Mgbidi dị
n'etiti ha dị mita abụọ na ụma asaa n'igbidi. Ebe e si abata na mpụta ọnụ ụzọ ama
nke chere ụlọnsọ ukwu ahụ ihu, dị mita atọ n'ọkara n'omimi.
[8] O jikwa ihe ọtụtụ tụọ ebe mpụta ọnụ ụlọ nke ọnụ ụzọ ama, [9] ọ dị mita anọ na
ụma abụọ n'omimi. Ogidi dị n'akụkụ ya dị otu mita n'igbidi. Ebe mpụta ọnụ ụlọ nke
ụzọ ama ya chere ihu n'ụlọnsọ ukwu.
[10] N'ime ọnụ ụzọ ama nke ọwụwa anyanwụ, e nwere oghere atọ dị n'akụkụ ọbụla,
oghere atọ ndị ahụ ha n'otu. Ihu akụkụ aja ya niile nke chere ha ihu bụkwa otu
n'ọtụtụ. [11] Mgbe ahụ, ọ tụrụ obosara nke mbata ọnụ ụzọ ama ahụ, ọ dị mita ise na
ụma atọ n'obosara, na mita isii na ụma itoolu n'ogologo. [12] N'ihu oghere niile nke
ụlọ ahụ e nwere mgbidi dị otu ọkara mita n'ịdị elu ya. Akụkụ anọ nke oghere ndị a
ha otu. Ha ruru mita atọ mita atọ. [13] Mgbe ahụ, ọ tụrụ obosara ọnụ ụzọ ama ahụ,
site n'elu ụlọ nke otu ime ụlọ ruo n'elu ụlọ nke ime ụlọ chere ya ihu; obosara ya dị
mita iri na atọ, site n'otu oghere ruo n'oghere nke chere ya ihu. [14] Ọ tụrụ ogologo
ogidi niile dị n'akụkụ n'ime mgbidi ọnụ ụzọ ama ụlọ ahụ, chọpụta na ọ dị iri mita
atọ na abụọ, ọ bụladị ruo n'akụkụ mgbidi nke chere ihu n'ọnụ ụzọ ama ogige ahụ.
[15] Site n'ihu ọnụ ụzọ ama mbata ahụ, ruo n'ebe ngwụcha nke ọnụ ụzọ dị na mpụta

* **40:5** 40:5 Maọbụ, iri sentimita anọ na ise nakwa otu ntu-aka

ọnụ ụlọ ya dị iri mita abụọ na asaa. 16 Ọnụ ụlọ ndị ahụ niile nwere oghereikuku dị
warawara n’akụkụ aja ụlọ ha, dịka mpụta ọnụ ụlọ ahụ nwekwara; oghereikuku ndị
a dị gburugburu dị n’ime, n’etiti ọnụ ụlọ ndị a. N’aja ụlọ ndị a niile, e nwere oyiyi
nkwụ dị iche iche e sere n’elu ha.

*Ogige dị n’ezi*

17 Ọ kpọbatara m n’ogige dị n’ezi. N’ebe ahụ, ahụrụ m ụfọdụ ọnụụlọ dị na
pevumentị e wunyere gburugburu ogige ahụ niile. Ha dị iri ọnụụlọ atọ dị n’ogologo
pevumentị ahụ. 18 Ebe nzọkwasị ụkwụ a gara ogologo ruo n’akụkụ ọnụ ụzọ ama,
ogologo ya na ọnụ ụzọ ama ahụ ha, nke a bụ pevumentị nke dịkarịrị ala. 19 Mgbe
ahụ, ọ tụrụ ịdị ogologo ya, site n’ime ọnụ ụzọ ama nke dịkarịrị ala ruo n’ọnụ ụzọ
nke ime ogige, o ruru iri mita ise na atọ n’akụkụ ihu anyanwụ nakwa n’akụkụ ugwu.

*Ọnụ ụzọ mbata dị n’ugwu*

20 Ọ tụrụ ogologo na obosara ọnụ ụzọ nke dị n’ugwu, nke e si abanye n’ogige dị
n’ezi. 21 Ime ụlọ ya dị ọnụ ụlọ atọ n’akụkụ ya ọbụla. Akụkụ aja na mpụta ọnụ ụlọ
ya, bụ otu ọtụtụ dịka ọtụtụ nke ọnụ ụzọ ama mbụ. Ịdị ogologo ya dị iri mita abụọ na
asaa, ebe obosara ya dị mita iri na atọ. 22 Oghereikuku ya, mpụta ọnụ ụzọ ya na osisi
nkwụ e sere n’ahụ aja ụlọ ahụ niile, dịka e mere n’akụkụ ọnụ ụzọ ama nke na-eche
ihu n’ọwụwa anyanwụ, bụ otu ọtụtụ. Ihe nrigo nwere nzọ ụkwụ asaa dị nke e si aga
na mpụta ọnụ ụlọ ahụ na ncherita ihu ogige ezi. 23 Otu ọnụ ụzọ dị nke gara n’ogige
dị n’ime, nke chere ihu ọnụ ụzọ mbata dị n’ugwu, dịka ọ dịkwa n’akụkụ nke ọwụwa
anyanwụ. Ọ tụrụ site n’otu ọnụ ụzọ ama ruo na nke chere ya ihu, ọ dị iri mita ise na
anọ.

*Ọnụ ụzọ mbata dị na ndịda*

24 Mgbe ahụ, o duuru m gaa n’akụkụ ndịda, a hụrụ m ọnụ ụzọ mbata ndịda. Ọ
tụrụ tụọ akụkụ ogidi ọnụ ụzọ ahụ na mpụta ọnụ ụlọ ya, chọpụta na ya na ndị ọzọ bụ
otu ọtụtụ. 25 Ọnụ ụzọ ama ya na mpụta ọnụ ụlọ ya nwere oghereikuku dị warawara
gbaa gburugburu, dịka e nwere na ndị ọzọ niile. Ịdị ogologo ya dị iri mita abụọ na
asaa, ebe obosara ya dị mita iri na atọ 26 Ihe nrigo nwere nzọ ụkwụ asaa dịkwa iji
rigoo ya, mpụta ọnụ ụlọ ya dịkwa na ncherita ihu ha, o nwekwara ihe ịchọ mma
osisi nkwụ e sere n’ahụ akụkụ aja ahụ, otu n’otu akụkụ, nke ọzọ n’akụkụ nke ọzọ.
27 Ogige nke dị n’ime, nwekwara ọnụ ụzọ ama nke na-echere ihu na ndịda. Ọ tụrụ
site n’otu ọnụ ụzọ ama ruo na nke chere ya ihu, ọ dị iri mita ise na anọ.

*Ụzọ ndị na-eduba n’ogige ime*

28 O duuru m site n’ọnụ ụzọ dị na ndịda banye n’ogige dị n’ime. Ọ tụrụ ọnụ ụzọ
mbata a hụ na ya na ọnụ ụzọ nke dị ọzọ bụ otu ọtụtụ. 29 N’ọnụ ụlọ ya niile, n’akụkụ
aja ya niile, na mpụta ọnụ ụlọ ya bụkwa otu ọtụtụ dịka ndị ọzọ niile. Ọnụ ụzọ ama ya
na mpụta ọnụ ụlọ ya nwere oghere gbaa gburugburu. Ịdị ogologo ya dị iri mita abụọ
na asaa, ebe obosara ya dị mita iri na atọ. 30 Mpụta ọnụ ụlọ nke ndị dị gburugburu
ogige nke ime, dị iri mita na atọ n’obosara, na mita abụọ na ụma atọ n’ịdị omimi.
31 Mpụta ọnụ ụlọ ya chere ihu n’ogige dị n’ezi, oyiyi osisi nkwụ ka eji chọọ ogidi ọnụ
ụlọ ahụ mma, ihe nrigo nwere nzọ ụkwụ asatọ ka eji arịgo ya.

*Ogige ime na ọnụ ụzọ mbata ọwụwa anyanwụ*

32 Ọ kpọbatakwara m n’ogige dị n’ime site n’ọnụ ụzọ mbata nke ọwụwa anyanwụ.
Ọ tụkwara ọnụ ụzọ ama ahụ, chọpụta na ya na ndị ọzọ bụkwa otu ọtụtụ. 33 N’ọnụ
ụlọ ya niile, n’akụkụ aja ya niile, na mpụta ọnụ ụlọ ya niile bụkwa otu ọtụtụ dịka
ndị ọzọ niile. Ọnụ ụzọ ama ya na mpụta ọnụ ụlọ ya nwere oghere gbaa gburugburu.
Ịdị ogologo ya dị iri mita abụọ na asaa, ebe obosara ya dị mita iri na atọ. 34 Mpụta
ọnụ ụlọ ya chere ihu n’ogige dị n’ezi. Oyiyi nkwụ e sere ese ka eji chọọ akụkụ ogidi

ọnụ ụzọ ya mma, n’akụkụ nke a, nakwa n’akụkụ nke ọzọ. Ihe nrigo nwere nzọ ụkwụ
asatọ ka eji arịgo ya.
35 O mere ka m bịaruo n’ọnụ ụzọ ama mbata nke ugwu. Ọ tụrụ ya, chọpụta na
ọtụtụ ya dịkwa ka nke ndị ọzọ, 36 dịka ọnụ ụlọ ya niile, n’akụkụ aja ya niile, na
mpụta ọnụ ụlọ ya, ha niile nwere oghere gbaa gburugburu. Ịdị ogologo ya dị iri mita
abụọ na asaa, ebe obosara ya dị mita iri na atọ 37 Mpụta ọnụ ụlọ ya chere ihu n’ogige
dị n’ezi. Oyiyi nkwụ e sere ese ka eji chọọ akụkụ ogidi ọnụ ụzọ ya mma, n’akụkụ
nke a, nakwa n’akụkụ nke ọzọ. Ihe nrigo nwere nzọ ụkwụ asatọ ka eji arịgo ya.

### *Ọnụụlọ dị iche iche ebe ikwado aja*

38 Otu ọnụụlọ nke nwere ọnụ ụzọ dịkwa n’akụkụ mpụta ọnụ ụlọ nke ime ime ọnụ
ụzọ ama ọbụla, ebe a na anọ asacha anụ aja nsure ọkụ niile. 39 N’ime mpụta ọnụ ụlọ
nke ọnụ ụzọ ama, ka tebul abụọ dị n’otu akụkụ, abụọ nke ọzọ dịkwa n’akụkụ nke
ọzọ nke ọnụ ụlọ ahụ. N’elu ha ka a na-egbu anụ e ji achụ aja nsure ọkụ, maọbụ aja
mmehie, maọbụ onyinye n’ihi aja ikpe ọmụma. 40 N’akụkụ mgbidi ezi nke mpụta
ọnụ ụlọ nke ọnụ ụzọ ama, n’akụkụ ihe nrigo nke dị na mbata ọnụ ụzọ ugwu, e nwere
tebul abụọ, n’akụkụ nke ọzọkwa nke ihe nrigo ahụ, e nwekwara tebul abụọ n’ebe
ahụ. 41 Ya mere, e nwere tebul anọ n’otu akụkụ ihe nrigo ahụ, nwekwa anọ n’akụkụ
nke ọzọ ya, ya bụ, tebul asatọ ma agụkọta ya ọnụ, ebe a na-anọ egbu anụ e ji achụ
aja. 42 E nwekwara tebul anọ ndị ọzọ n’ime ọnụ ụlọ ahụ e ji nkume a wara awa wuo.
N’elu ya ka a na-anọ akwado anụ a ga-eji chụọ aja nsure ọkụ. Ịdị elu tebul ndị a bụ iri
sentimita asatọ. Obosara elu ha n’akụkụ niile dị iri sentimita ise na atọ. Ngwongwo
niile e ji egbu anụ e ji achụ aja na-adị n’elu tebul ndị a. 43 E ji nko nke ịdị ogologo ya
dị sentimita itoolu ejigidesi tebul ndị ahụ ike n’ahụ aja ụlọ. Nko ndị a dị gburugburu
tebul ndị ahụ. Ọ bụkwa n’elu tebul ndị a ka a na-edebe anụ niile e ji enye onyinye.

### *Ọnụ ụlọ ndị nchụaja*

44 N’ime ogige dị n’ime, e nwere ọnụụlọ abụọ nke nwere ụzọ e si abanye n’ogige
dị n’ime. Otu dị n’akụkụ ọnụ ụzọ ama dị n’ugwu, chee ihu n’ọdịda anyanwụ, nke
ọzọ dị n’akụkụ ọnụ ụzọ ama dị n’ọdịda anyanwụ, chee ihu n’ugwu. 45 Ọ gwara m,
“Ọnụụlọ ahụ dị n’akụkụ ọnụ ụzọ ama dị n’ugwu bụ nke ndị nchụaja, ndị na-eje ozi
n’ụlọnsọ ukwu. 46 Ọnụụlọ nke dị n’akụkụ ọnụ ụzọ ama chere ihu n’ugwu, bụ nke
ndị nchụaja ndị na-eche ebe ịchụ aja nche. Ndị a bụ ụmụ ụmụ Zadọk. Ọ bụ naanị
ha ka e kwere ka ha nwee ike ịbịaru ONYENWE ANYỊ nso, ijere ya ozi site n’etiti ebo
Livayị niile.”
47 Mgbe ahụ, ọ tụrụ ogige ime ahụ, chọpụta na ogologo ya dị iri mita ise na asatọ.
Obosara ya bụkwa otu ihe ahụ. Ebe ịchụ aja dịkwa n’ihu ụlọnsọ ukwu ahụ.

### *Ụlọnsọ ukwu ọhụrụ ahụ*

48 O mere ka m bịaruo na mpụta ọnụ ụlọ nke ụlọnsọ ukwu ahụ, ọ tụrụ akụkụ ogidi
ọnụ ụzọ nke mpụta ọnụ ụlọ ahụ, o ruru mita abụọ na ụma atọ n’obosara, n’akụkụ
ya abụọ. Ebe mbata ya ruru mita asaa na ụma anọ n’obosara, ebe akụkụ aja ụlọ ahụ
ruru otu mita na ụma isii n’obosara, n’otu akụkụ nakwa n’akụkụ nke ọzọ ya. 49 Ebe
mpụta ọnụ ụlọ ahụ dị ihe ruru mita iri na otu n’obosara, sitekwa n’azụ ruo n’ihu ya
ruru mita isii na ụma anọ. Ọ bụ ihe nrigo iri ka eji arịgo ya. Ogidi dịkwa n’akụkụ
ọnụ ụzọ abụọ ahụ otu n’akụkụ nke a ọzọ n’akụkụ nke ọzọ ya.

## 41

1 Mgbe ahụ, nwoke ahụ kpọbatara m n’ọnụ ụlọ ezumezu ahụ, ọ tụrụ akụkụ ọnụ
ụzọ ya. Akụkụ ya ọbụla dị mita atọ na ụma abụọ, nke a bụ obosara ụlọ ikwu ahụ.
2 Obosara ọnụ ụzọ mbata ya dị mita ise na ụma atọ. Akụkụ aja abụọ nke ọnụ ụzọ

ahụ dịkwa mita abụọ na ụma asaa. Ọ tụkwara ogologo ụlọ ezumezu ahụ; ya dịrị iri
mita abụọ na otu n'ogologo, obosara ya dị mita iri na otu.
3 Mgbe ahụ, ọ banyere n'ime ime ebe nsọ ahụ, tụọ ogidi dị n'ọnụ ụzọ e si abanye
n'ime ya, chọpụta na obosara nke ọbụla bụ otu mita na otu ụma, obosara ọnụ ụzọ
ahụ n'onwe ya dị mita atọ na ụma abụọ. Akụkụ aja nke ọnụ ụzọ ọbụla dị mita atọ
na ụma asaa n'obosara. 4 Ọ tụrụ ogologo ime ebe nsọ ahụ, ya dị mita iri na ọkara,
obosara ya dịkwa mita iri na ọkara, n'ogologo ụlọ ezumezu ahụ. Ma ọ sịrị m, "Ebe
a bụ Ebe Kachasị Nsọ."
5 Ọ tụkwara mgbidi ụlọnsọ ukwu ahụ chọpụta na ịdị igbidi ya bụ mita atọ na
ụma abụọ. E nwekwara ọnụụlọ ndị dị gburugburu ụlọnsọ ukwu ahụ, nke ọbụla
dị mita abụọ na otu ụma n'igbidi. 6 Ọnụụlọ nta ndị a dị n'okpukpu atọ, nke ọbụla
n'elu ibe ya, okpukpu ọbụla nwere iri ọnụụlọ atọ. E nwere mgbidi gbara aja ụlọnsọ
ahụ gburugburu n'akụkụ niile, ka ha bụrụ ihe nkwado nye ọnụụlọ nta ndị a, ka ihe
nkwado ndị a ghara ịbụ ihe a rụnyere n'aja ụlọnsọ ukwu ahụ. 7 E wuru ọnụụlọ nta
ndị a ka obosara ọnụụlọ ndị ahụ niile dị n'elu ibe ha dị ukwuu karịa obosara ndị nke
dị n'okpuru ha. N'ụzọ dị otu a, obosara ọnụụlọ niile dị n'okpukpu nke abụọ dị ukwuu
karịa nke dị n'ala; nke atọ dịkwa ukwuu karịa nke abụọ. E wukwara ebe e si arịgo
site n'okpukpu nke dịkarịsịrị ala rigoruo n'ọnụụlọ ndị kachasị elu, site n'okpukpu
nke dị n'etiti.
8 Ahụrụ m na ụlọnsọ ukwu ahụ nwere ebe e wuliri elu n'akụkụ ya niile. Ọ bụkwa
ebe a dị elu ka e ji mee ntọala ọnụụlọ nta ndị ahụ niile. Ịdị ogologo nke ebe ahụ e
wuliri elu bụ mita atọ na ụma abụọ. 9 Ịdị arọ nke mgbidi ọnụụlọ nta ndị a n'akụkụ
ezi bụ mita abụọ na ụma atọ. Ala tọgbọrọ n'efu n'etiti ọnụụlọ nta ụlọnsọ ukwu ahụ,
10 na ọnụụlọ ndị nchụaja dị mita iri na ọkara n'obosara, gbaa gburugburu ụlọnsọ
ukwu ahụ. 11 E nwere ọnụ ụzọ ndị a na-esi abanye n'ọnụụlọ nta ndị ahụ, site n'ala
ahụ na-enweghị ihe arụrụ na ya, otu ọnụ ụzọ n'akụkụ ugwu, nke ọzọ n'akụkụ ndịda.
Obosara ala nke fọdụrụ dị mita abụọ na ụma atọ n'akụkụ niile gbaa gburugburu.
12 Ma ụlọ nke na-eche ihu n'ogige ụlọnsọ ukwu ahụ, n'akụkụ ọdịda anyanwụ, dị
iri mita atọ na asaa n'obosara, ịdị igbidi nke aja ụlọ ahụ dị mita abụọ na ụma atọ,
gbaa gburugburu, ogologo ya dịkwa iri mita anọ na asatọ.
13 Mgbe ahụ, ọ tụrụ ụlọnsọ ukwu ahụ, ya dịrị iri mita ise na atọ, ogige ụlọnsọ, na
ụlọ ahụ nakwa mgbidi ya, dịkwa iri mita ise na atọ n'ogologo. 14 Obosara nke ogige
ụlọnsọ n'akụkụ ọwụwa anyanwụ, tinyere ebe ihu ụlọnsọ ukwu ahụ, dị iri mita ise
na atọ.
15 Ọ tụrụ ịdị ogologo nke ụlọ ahụ chere ihu n'ogige dị n'azụ ụlọnsọ ukwu ahụ,
tinyere ebe njegharị ya nke dị n'akụkụ abụọ ya. Ọ dị iri mita ise na atọ.
Ụlọ ezumezu ahụ, n'ime ebe nsọ ahụ, na mpụta nke ọnụ ụlọ, bụ nke chere ihu
n'ogige ahụ, 16 ya na ọnụ ụzọ ndị ahụ, na oghereikuku niile dị warawara, na ebe
njegharị gbara ha atọ gburugburu, ihe niile, elu ma ala, tinyere ọnụ ụzọ bụ nke eji
osisi mmachite. Ala ya, na mgbidi ya ruo na oghereikuku, ma oghereikuku niile
bụkwa ihe ekpuchiri ekpuchi. 17 N'elu oghere dị n'ebe ọnụ ụzọ ezi, nke gara n'ime
ebe nsọ, nakwa n'ahụ aja niile, na nkebi na nkebi, gbaa gburugburu n'ime na n'ezi
ebe nsọ ahụ, 18 ka a tụrụ oyiyi cherubim na osisi nkwụ. Cherubim na-esota osisi
nkwụ. Osisi nkwụ ọbụla na-esotakwa cherubim. Cherub ọbụla nwere ihu abụọ:
19 otu akụkụ cherub nke bụ ihu mmadụ chere ihu n'otu nkwụ. Ihu ya nke ọzọ, nke
bụ ihu ọdụm, chere ihu na nkwụ nke dị akụkụ nke ọzọ. A tụrụ ha gburugburu ụlọnsọ
ukwu ahụ. 20 Site n'ala ụlọ ruo n'elu ọnụ ụzọ ya, a tụrụ oyiyi cherubim na osisi nkwụ
n'ahụ aja ụlọ ezumezu ahụ.
21 Ọnụ ụlọ ezumezu ahụ nwere mbudo ibo nke akụkụ anọ ya ha otu n'ọtụtụ. Nke
dị n'ihu Ebe ahụ Kachasị Nsọ, yiri ndị ọzọ. 22 Ebe ịchụ aja ya bụ nke eji osisi wuo.

Akụkụ niile nke ebe ịchụ aja a ha n'otu. Ọ dị otu mita na ọkara n'ogologo, dịrịkwa
iri sentimita itoolu n'akụkụ ya ọbụla. Osisi ka e ji wuo nkuku anọ ya, akụkụ ya niile,
na ntọala ya. Mgbe ahụ, nwoke ahụ gwara m, "Nke a bụ tebul na-adị n'ihu ONYENWE
ANYỊ." 23 Ma ụlọ ezumezu, ma Ebe ahụ Kachasị Nsọ, nwere ọnụ ụzọ abụọ, n'otu n'otu.
24 Ọnụ ụzọ ọbụla nwere ibo abụọ, ibo abụọ nke a na-akwagharị gburugburu. 25 A
tụnyere onyinyo cherubim na osisi nkwụ n'elu ibo na-edubanye n'ụlọ ezumezu ahụ,
dịka ndị ahụ a tụrụ n'ahụ mgbidi niile. E jikwa osisi rụchie elu ihu mpụta nke ọnụ
ụlọ ahụ. 26 Windo* dị warawara dị n'aja mpụta ọnụ ụlọ ahụ, nke e sekwasịrị oyiyi
osisi nkwụ; ọnụụlọ nta niile nke ụlọnsọ ukwu ahụ nwekwara ihe a rụnyere n'elu
ụzọ ya, nke a machiri amachi.

# 42

*Ọnụụlọ ndị nchụaja*

1 Nwoke ahụ duuru m gaa n'akụkụ ugwu, banye n'ime ogige ahụ dị n'ezi, kpọbata
m n'ime ọnụụlọ ndị ahụ dị na ncherita ihu n'akụkụ ugwu nke ụlọnsọ ukwu ahụ.
2 Ụlọ ahụ nke ọnụ ụzọ ya chere ihu n'ebe ugwu dị iri mita ise na atọ n'ogologo,
ebe obosara ya dị iri mita abụọ na asaa. 3 Ma n'akụkụ nke dị iri mita na otu, site
n'ime ogige nakwa n'akụkụ nke dị na ncherita ihu pevumentị nke ogige dị n'ezi, ebe
njegharị chere ebe njegharị ọzọ ihu, n'okpukpu atọ ahụ. 4 N'ihu ọnụụlọ ndị a, e
nwere ka ụzọ njegharị nke dị mita ise na ụma atọ n'obosara, dịkwa iri mita ise na
atọ n'ogologo. Ọnụ ụzọ ha niile chere ihu n'ugwu. 5 Okpukpu ụlọ nke dị n'elu asaghị
mbara dịka nke dị n'ala, n'ihi na ebe njegharị ndị ahụ weere ọtụtụ oghere karịa ka
ọ dị n'ọnụụlọ ndị dị okpukpu nke dị n'ala na nke etiti ụlọ ahụ. 6 Ebe a na-ejighị ogidi
wuo ụlọ a, dịka e si wuo ndị dị n'ogige, nke a mere ka ụlọ ndị dị n'elu na-akpa nkpa
karịa ndị nke dị n'ala, na ndị dị n'etiti. 7 E nwere mgbidi aja nke dị n'ezi n'akụkụ
ọnụụlọ niile, n'ụzọ ogige nke dị n'ezi. Ọ mapụtara n'ihu ọnụụlọ ndị ahụ, ogologo ihe
dị iri mita abụọ na asaa. 8 N'ọtụtụ ogologo ọnụụlọ ndị a, ndị dị nso n'ogige mpụta,
ruru mita iri abụọ na itoolu, ebe ogologo ndị nke dịkarịsịrị nso ebe nsọ ahụ, ruru
mita iri ise na asatọ. 9 N'okpuru ọnụụlọ ndị a, e nwere ụzọ mbata n'akụkụ ọwụwa
anyanwụ, dịka mmadụ na-abata ha site n'ogige dị na mpụta.

10 N'akụkụ ndịda, n'ogologo aja ụlọ dị n'ogige mpụta, nke dị n'akụkụ ogige ụlọnsọ
ukwu, nke chere aja ụlọ mpụta ihu, ọtụtụ ọnụụlọ dị ya. 11 Ụzọ njegharị dị n'etiti
akụkụ abụọ ụlọ ahụ, ha dịkwa ka ọnụụlọ ndị ahụ nke dị n'ụzọ ugwu. Ogologo ha na
obosara ha bụ otu; ha niile yiri onwe ha. Ọnụ ụzọ ya dịkwa ka ọnụ ụzọ dị n'ugwu.
12 Otu a ka ọnụ ụzọ e si abanye n'ime ọnụụlọ ndị a dị na ndịda si dị. E nwere ọnụ
ụzọ na mpụta, nke dị na mgbidi ahụ chere ihu n'ọwụwa anyanwụ. Ebe a ka e si
abanye n'ime ọnụụlọ ndị ahụ.

13 Mgbe ahụ, ọ sịrị m, "Ime ọnụụlọ niile dị n'ugwu, na ime ọnụụlọ ndị dị na ndịda,
bụ ndị a chere ogige ụlọnsọ ahụ ihu, bụ ime ụlọ dị nsọ, nke ndị nchụaja. Ebe ndị
nchụaja ndị na-abịa nso ONYENWE ANYỊ ịchụ aja ga-anọ rie nri niile nke kachasị nsọ,
n'ebe ahụ ka ha ga-edebekwa aja ịnata ihuọma, aja mmehie na aja ikpe ọmụma, n'ihi
na ụlọ ndị a dị nsọ. 14 Mgbe ndị nchụaja bara n'ime ebe nsọ ahụ nke e kewapụrụ
iche, ha aghaghị esikwa n'ebe ahụ pụta n'ogige mpụta ezi, tupu ruo mgbe ha yisara
uwe ha yii jee ozi, n'ihi na uwe ndị a dị nsọ. Ha ga-eyiri uwe ọzọ, tupu ha abanye
n'akụkụ ụlọ ndị ahụ dịịrị ndị ọzọ."

15 Mgbe ọ tụchara ihe ndị dị n'ime ebe ụlọnsọ ahụ, o duuru m site n'ọnụ ụzọ
dị n'ọwụwa anyanwụ pụta, tụkwaa n'akụkụ niile gburugburu. 16 O ji ihe ọtụtụ dị
ogologo tụọ akụkụ ọwụwa anyanwụ, ọ dị ihe ruru narị mita abụọ na iri mita isii
na ise. 17 O ji mkpirisi osisi ahụ e ji atụ ihe tụọ akụkụ nke ugwu ma chọpụta na ọ

* **41:26** 41:26 Ya bụ, oghereikuku

dị ihe ruru narị mita abụọ na iri mita isii na ise. 18 Ọ tụkwara akụkụ nke ndịda,
chọpụtakwa na ọ dị ihe ruru narị mita abụọ na iri mita isii na ise. 19 Mgbe ahụ, ọ
tụgharịrị jirikwa ihe ọtụtụ ahụ tụọkwa akụkụ nke ọdịda anyanwụ. Ọ dị ihe ruru
narị mita abụọ na iri mita isii na ise. 20 Ya mere, ọ tụrụ akụkụ anọ niile nke ebe ahụ.
Mgbidi gbara ya gburugburu. Ọtụtụ ha dị ihe ruru narị mita abụọ na iri mita isii na
ise, n'ogologo, obosara ya dịkwa ihe ruru narị mita abụọ na iri mita isii na ise, iji
kewapụta ebe dị nsọ site n'ebe ndị ọzọ.

## 43

*Nlọghachi nke ebube Chineke*

1 Emesịa, ọ kpọbatakwara m n'ọnụ ụzọ mbata nke chere ihu n'ọwụwa anyanwụ.
2 Ma lee, ahụrụ m ebube Chineke nke Izrel ka o si n'akụkụ ọwụwa anyanwụ na-
apụta. Olu ya dị ka mbigbọ nke ebili mmiri, ebube ya nwukwara n'ala ahụ niile.
3 Ọ dịkwa ka ọhụ mbụ m hụrụ, nke m buru ụzọ hụ n'akụkụ ọnụ mmiri Keba, ya na
nke m hụrụ na Jerusalem mgbe ọ bịara ibibi obodo ahụ. Adara m n'ala kpugide ihu
m n'aja. 4 Ebube ONYENWE ANYỊ sitere n'ọnụ ụzọ chere ihu n'ọwụwa anyanwụ bata
n'ime ụlọnsọ ahụ. 5 Mgbe ahụ, Mmụọ nke Chineke buliri m bubata m n'ime ogige
nke ime, ma ebube nke ONYENWE ANYỊ jupụtara n'ụlọnsọ ukwu ahụ.

6 Mgbe ahụ, anụrụ m olu ka o si n'ụlọnsọ ahụ na-agwa m okwu, dịka nwoke ahụ
na-eguzokwa n'akụkụ m. 7 Ọ sịrị m, "Nwa nke mmadụ, ebe a bụ ebe nke ocheeze, na
ebe nke ọbụ ụkwụ m abụọ ga-anọgide, ebe a ka m ga-ebi n'etiti ụmụ Izrel ruo mgbe
ebighị ebi. Ụlọ Izrel agaghị emerụkwa aha nsọ m ọzọ, ha onwe ha maọbụ ndị eze ha,
site n'ikpere arụsị niile ha na ibubata onyinye olili ozu ndị eze ha, mgbe ha nwụrụ
anwụ. 8 Mgbe ha wuru mbata ọnụ ụzọ ha n'akụkụ mbata ọnụ ụzọ m, tinye ọnụ ụzọ
ha n'akụkụ ọnụ ụzọ m, ọ bụkwa naanị mgbidi bụ ihe dị n'etiti mụ na ha. Ha merụrụ
aha nsọ m site n'ihe arụ niile ha mere. Ya mere m ji bibie ha n'iwe m. 9 Ugbu a, ka
ha wezuga adịghị ọcha na ife chi ndị ọzọ ha n'ihu m, bupụkwa onyinye olili ozu ndị
eze ha n'ebe m nọ, mgbe ahụ, aga m ebi n'etiti ha ruo mgbe ebighị ebi.

10 "Nwa nke mmadụ, kọwaara ụmụ Izrel ụlọnsọ ahụ m ziri gị. Gwa ha ụdịdị ya,
na ịpụ iche ya, ka ihere mee ha n'ihi mmehie ha. 11 Ọ bụrụ n'ezie na ihere emee
ha n'ihi ihe ha mere, mgbe ahụ, kọwaara ha ihe niile metụtara otu a ga-esi wuo
ụlọnsọ a, na ihe gbasara nkwado ya, na ihe gbasara ọnụ ụzọ ọpụpụ na mbata ya
niile, ihe metụtara ebumnobi nke owuwu ya niile na usoro na iwu niile banyere ya.
Depụta ihe ndị a n'ihu ha, nye ha ka ha lezie anya mezuo ihe niile metụtara usoro a
ga-agbaso wuo ya.

12 "Nke a bụ iwu ụlọ banyere nsọ ukwu ahụ. Ebe niile gbara elu ugwu a gburugburu
ga-abụ ebe dịkarịsịrị nsọ! Nke a bụ iwu ụlọnsọ ahụ.

*Ebe ịchụ aja ukwu ahụ*

13 "Nke a bụ ọtụtụ niile gbasara ebe ịchụ aja ya: Ịdị elu nke ala ya bụ iri sentimita
ise na atọ; ịgba gburugburu nke ọnụ ya bụ iri sentimita abụọ na atọ; obosara ya dị
iri sentimita ise na atọ. Otu a ka ebe ịchụ aja ahụ ga-aha n'ogologo. 14 Site n'ụkwụ
ya nke dị n'ala ruo n'okere ya nke etiti, ọ ga-adị otu mita n'ogologo nakwa n'uhie;
site n'okere nke nta ruo na nke ukwu ga-adị mita abụọ n'ogologo na ọkara n'uhie.
15 Ebe nsure ọkụ nke ebe ịchụ aja ahụ ga-adị mita abụọ, mpi anọ sikwa n'akụkụ ya
gbagoo elu, nke ọbụla n'ime ha ga-adị ọkara mita n'ogologo. 16 Ebe nsure ọkụ nke
ebe ịchụ aja ahụ ga-adị mita isii n'ogologo na mita isii n'uhie, nwee akụkụ anọ nke
ha n'otu. 17 Nke dị n'okpuru ga-adị mita asatọ n'akụkụ ọbụla; a ga-arụlite ọnụ ọnụ
ya gburugburu, ka ịdị elu nke ọnụ ọnụ ya bụrụ iri sentimita abụọ na asaa. Akụkụ ya

niile gbasapụrụ site n’elu ya ruo n’ala. Ọtụtụ mgbasapụ a dị iri sentimita ise na atọ.
N’akụkụ ọwụwa anyanwụ ka ihe e ji arịgo ya dị.”
18 Mgbe ahụ, ọ gwara m, “Nwa nke mmadụ, ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu,
bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: Ndị a bụ usoro metụtara iwu ịchụ aja nke aja nsure ọkụ,
na ifesa ọbara n’elu ebe ịchụ aja mgbe e wusiri ya. 19 Ị ga-enye ndị nchụaja bụ ndị
Livayị si n’ezinaụlọ Zadọk, bụ ndị na-abịa m nso ife ofufe n’ihu m, otu oke ehi maka
aja mmehie, otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri. 20 Unu
ga-ewere ụfọdụ n’ọbara ya tee na mpi anọ nke ebe ịchụ aja, na n’akụkụ anọ nke ebe
ịchụ aja, na n’akụkụ anọ nke mbadamba nkume dị n’elu, na gburugburu ọnụ ọnụ ya,
si otu a sachaa ebe ịchụ aja ahụ, kpuchikwaara ya mmehie. 21 Mgbe ahụ, a ga-ewere
nwa oke ehi e ji chụọ aja mmehie ahụ, kpọọ ya ọkụ n’ebe a kwadoro n’ezi ụlọnsọ
ukwu ahụ.
22 “N’ụbọchị nke abụọ, ị ga-eji nwa mkpi na-enweghị ntụpọ chụọ aja mmehie.* A
ga-eme ka ebe ịchụ aja dị ọcha, dịka e ji oke ehi ahụ mee ka ọ dị ọcha. 23 Mgbe i
mechara mmemme nsacha ndị a, werekwa nwa oke ehi ọzọ nke na-enweghị ntụpọ,
na nwa ebule site n’igwe anụ nke na-enweghị ntụpọ chụọ aja. 24 Were ha jee chee
n’ihu ONYENWE ANYỊ, ka ndị nchụaja were nnu fesa ha dịka aja nsure ọkụ a chụrụ
nye ONYENWE ANYỊ.
25 “Ụbọchị asaa, kwa ụbọchị ka ị ga-ewepụta otu mkpi, na nwa oke ehi, na nwa
ebule site n’igwe anụ ndị ahụ, chụọ aja mmehie. Ha niile ga-abụ ụmụ anụmanụ ndị
na-enweghị ntụpọ. 26 Ụbọchị asaa ka ha ga na-achụ aja ikpuchi mmehie n’ihi ebe
ịchụ aja, mee ka ọ dị ọcha, site otu a doo ya nsọ. 27 Ụbọchị nke asatọ, na n’ụbọchị
ọbụla so ya, ndị nchụaja ga-achụ aja nsure ọkụ n’ebe ịchụ aja, chụọkwa aja udo.
Mgbe ahụ, aga m anabatakwa unu. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYỊ kwubiri ya.”

# 44

*Ụmụ eze, ndị Livayị, na ndị nchụaja*

1 Mgbe ahụ, o mere ka m laghachi n’ụzọ, n’ọnụ ụzọ ama nke ebe nsọ ahụ, nke dị
n’ezi, nke na-eche ihu n’ọwụwa anyanwụ, ma a gbachiri ya agbachi. 2 Ma ONYENWE
ANYỊ sịrị m, “Ọnụ ụzọ ama nke a ga-abụ ihe e mechiri emechi. A gaghị emeghe ya
ọzọ, ọ dịghị onye ọbụla ga-esi na ya bata. N’ihi na ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke Izrel
esitela na ya bata. Ya mere, ọ bụ ihe emechiri emechi. 3 Naanị nwa eze, naanị ya
onwe ya, bụ onye ga-anọdụ ala n’ime ya, iri nri n’ihu ONYENWE ANYỊ. Ọ ga-esite na
mpụta ọnụ ụlọ nke ọnụ ụzọ bata, ọ bụkwa ebe ahụ ka ọ ga-esi pụọ.”
4 Mgbe ahụ, o mere ka m bịaruo n’ọnụ ụzọ ama dị n’ugwu, n’ihu ụlọnsọ ukwu
ahụ. Elere m anya hụ na ebube nke ONYENWE ANYỊ jupụtara n’ụlọnsọ nke ONYENWE
ANYỊ. N’ihi ya, adara m n’ala kpugide ihu m n’aja.
5 ONYENWE ANYỊ sịrị m, “Nwa nke mmadụ, leruo anya nke ọma, gee ntị nke ọma
n’ihe niile m na-agwa gị banyere iwu m niile na usoro niile nke ụlọnsọ ukwu nke
ONYENWE ANYỊ. Leruo anya nke ọma banyere ọnụ ụzọ ịbata n’ụlọnsọ ukwu a, na
nke ọpụpụ niile nke ebe nsọ a. 6 Ị ga-agwa ndị Izrel bụ ndị ụlọ nnupu isi, ‘Otu a ka
Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị, o zuola bụ ibi ndụ arụ unu niile
ahụ, unu ndị Izrel! 7 N’ihi na ọ bụghị naanị na ihe arụ unu mere dị ukwu, kama unu
mekwara ihe arụ kachasị site n’ịkpọbata ndị ala ọzọ a na-ebighị anụ ahụ ha na obi
ha ugwu n’ime ụlọnsọ, si otu a merụọ ụlọnsọ mgbe unu na-ewetara m nri nsọ, nke
bụ abụba na ọbara. N’ụzọ dị otu a, unu emebiela ọgbụgba ndụ m. 8 Unu edebeghị
iwu m nyere unu banyere ihe m ndị dị nsọ, kama unu goro ndị ọzọ ka ha bụrụ ndị

* **43:22** 43:22 Nwa mkpi zuruoke bụ nke na-enweghị ntụpọ, nke ọrịa na-adịghị arịa, nke ọnya na-adịghị n’ahụ
ya, na nke na-enweghịkwa apa.

na-elekọta ebe nsọ m. 9 Ihe ndị a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
kwuru, o nweghị onye ala ọzọ ọbụla a na-ebighị anụ ahụ ya na obi ya ugwu kwesiri
ịbata n'ụlọnsọ m. Ọ bụladị ndị ọbịa ndị bi n'etiti ụmụ Izrel.
10 " 'Ndị ikom agbụrụ Livayị niile, ndị sitere n'ijere m ozi wezuga onwe ha mgbe
Izrel bidoro ịgbaso arụsị niile ha, ga-ata ahụhụ n'ihi ekwesighị ntụkwasị obi ha. 11 Ha
ga-abụ ndị na-eje ozi n'ime ebe nsọ m, ndị nlekọta nke ọnụ ụzọ ama nke ụlọnsọ
ukwuu, na-ejekwa ozi n'ime ya; ha ga-egburu ndị m anụ e wetara maka ịchụ aja
nsure ọkụ na nke aja ndị ọzọ, ha ga-eguzokwa n'ihu ha jeere ha ozi. 12 Ma n'ihi na
ha guzoro n'ihu arụsị jeere ha ozi, mee ka ụlọ Izrel daba na mmehie ikpere arụsị,*
n'ihi nke a, eweliela m aka elu na-aṅụ iyi na ha aghaghị ịta ahụhụ mmehie ha. Otu a
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri. 13 Ha agaghị abịakwute m
nso ije ozi dịka ndị nchụaja, maọbụ bịaruo nso ihe nsọ m niile ọbụla maọbụ onyinye
m dị nsọ karịchasịa onyinye nsọ niile, ha aghaghị ibu ọnọdụ ihere nke ihe arụ niile
ha mere. 14 Ma aga m ahọpụta ha ka ha bụrụ ndị ilekọta ụlọnsọ m dị n'aka, n'ihi ịrụ
ọrụ niile na ije ozi niile dị n'ime ya.
15 " 'Ma ndị nchụaja, bụ ụmụ Zadọk, ndị Livayị, ndị chegidere ebe nsọ m nche,
mgbe Izrel niile sitere n'ebe m nọ kpafuo, ga-abịa nso ijere m ozi, ha ga-eguzo n'ihu
m chụọ aja abụba na ọbara. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
kwubiri. 16 Ọ bụ naanị ha ga-abanye n'ime ebe nsọ m, naanị ha ga-abịakwa na tebul
m ije ozi n'ihu m, na ife m dịka ndị nche.
17 " 'Mgbe ha na-abata n'ọnụ ụzọ ama nke ogige dị n'ime, ha ga-eyi naanị akwa
ọcha. Ha agaghị eyi uwe ọbụla e ji ajị anụ kpaa mgbe ha na-eje ozi n'ogige ime nke
ụlọnsọ ukwu m. 18 Ha ga-eji akwa ọcha kee n'isi ha, yirikwa uwe ọcha n'ukwu ha.
Ha agaghị eyi ihe ọbụla ga-eme ka ọsịsọọ gbaa ha. 19 Mgbe ha na-apụ n'ogige dị n'ezi
ebe ndị mmadụ nọ, ha ga-eyipụ uwe ha yi mgbe ha na-eje ozi, hapụkwa ha n'ime
ọnụụlọ nsọ ndị a, yiri uwe ọzọ, ka ha ghara ime ka ndị mmadụ bụrụ ndị e doro nsọ
site n'imetụ uwe ha ahụ.
20 " 'Ha agaghị ekwe ka agịrị isi ha too ogologo, ha agakwaghị akpụchapụ ya. Naanị
mkpacha ka ha ga na-akpacha isi ha. 21 Onye nchụaja ọbụla agaghị aṅụ mmanya
vaịnị mgbe ọ na-abata n'ogige dị n'ime. 22 Ha agaghị alụ nwanyị nke di ya nwụrụ
anwụ, maọbụ nwanyị gbaara di ya alụkwaghị m. Kama ọ bụ naanị ụmụ agbọghọ
ndị sitere n'agbụrụ Izrel ndị na-amaghị nwoke, maọbụ nwunye ndị nchụaja nwụrụ
anwụ. 23 Ha ga-akụziri ndị m ihe dị iche n'etiti ihe dị nsọ na ihe na-adịghị nsọ; gosi
ha otu esi amata ihe dị iche n'etiti ihe na-adịghị ọcha na nke dị ọcha.
24 " 'Ha ga-abụ ndị ikpe, idozi esemokwu dapụtara n'etiti ndị m. Usoro iwu m niile
ka ha ga-eji kpee ikpe. Ndị nchụaja n'onwe ha kwa ga-erube isi n'iwu m niile n'oge
mmemme ọbụla dị nsọ. Ha ga-ahụkwa na e doro ụbọchị izuike nsọ.
25 " 'Onye nchụaja agaghị emerụ onwe ya site n'ije n'ebe ozu dị, karịakwa maọbụ
ozu nna ya maọbụ nne ya, ma o bụ nwa ya, maọbụ nwanne ya nwoke, maọbụ nwanne
ya nwanyị na-enweghị di. 26 Mgbe e mechara ka ọ dị ọcha ọzọ, ọ ga-echere ruo ụbọchị
asaa. 27 Ma n'ụbọchị ahụ, ọ ga-alọghachi n'ụlọ ukwu ahụ ịbanye n'ime ebe nsọ, ọ
ga-ebu ụzọ chụọ aja mmehie n'ihi onwe ya. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ
ONYENWE ANYỊ kwubiri.
28 " 'Ọ bụ naanị mụ onwe m bụ ihe nketa nke ndị nchụaja ga-enweta. Unu agaghị
enye ha ihe nweta ọbụla n'Izrel. Mụ onwe m bụ ihe nketa ha. 29 Ha ga-eri onyinye
ịnata ihuọma, ihe aja mmehie, ihe aja ikpe ọmụma, ihe niile dị n'Izrel e doro nsọ
nye ONYENWE ANYỊ ga-abụ nke ha. 30 Mkpụrụ mbụ kachasị mma site na mkpụrụ ubi
ọbụla na onyinye niile pụrụ iche ga-abụ nke ndị nchụaja. Ọka mbụ a kwọrọ akwọ,
nke a na-eweta n'ihe ubi ga-abụkwa nke ndị nchụaja, ime ka ngọzị dịkwasị n'ụlọ

* 44:12 44:12 Ghọrọ ụlọ Izrel ihe ịsọ ngọngọ nke ajọ omume

unu. 31 Ndị nchụaja agaghị ata nnụnụ ọbụla, maọbụ anụ nke nwụrụ ọnwụ chi ya,
maọbụ nke anụ ọzọ dọgburu.

## 45

### *Okike a ga-eke ala ahụ*

1 “ ‘Mgbe unu ga-eke ala ahụ dịka ihe nketa, unu ga-ebu ụzọ nye ONYENWE ANYỊ
otu oke n’ime ya ka ọ bụrụ oke dị nsọ nke ala ahụ. Ogologo ya ga-adị kilomita iri
na atọ, obosara ya ga-abụ kilomita iri na otu. Ihe dị nsọ ka ala ahụ niile ga-abụ
gbaa gburugburu. 2 Site n’ala, otu akụkụ dị narị mita abụọ na iri itoolu na otu, na
iri sentimita asaa na ise, ga-abụ maka ebe nsọ. A ga-ahapụ ala dị iri mita abụọ na
itoolu gburugburu ya. 3 Site n’oke ebe ahụ dị nsọ, tụpụta oke ogologo ya dị kilomita
iri na atọ, obosara ya kilomita ise na ọkara. Ọ bụ n’ime ya ka ebe nsọ, ya bụ Ebe
ahụ Kachasị Nsọ ga-adị. 4 Ọ ga-abụ oke ala ndị nchụaja, ndị na-eje ozi n’ebe nsọ, na
ndị na-abịa nso ije ozi n’ihu ONYENWE ANYỊ. Ọ ga-abụkwa ebe ụlọ obibi ha ga-adị,
bụrụkwa ebe dị nsọ maka ebe nsọ ahụ. 5 Ala ọzọ dị ya n’akụkụ, nke ga-adị kilomita
iri na atọ n’ogologo, kilomita ise na ọkara n’obosara ya, ga-abụ ebe obibi ndị Livayị,
ndị na-arụ ọrụ n’ụlọnsọ ukwuu ahụ.

6 “ ‘N’akụkụ obodo nsọ ka a ga-ekewapụta ala nke ogologo ya dị kilomita iri na atọ,
nke obosara ya dịkwa kilomita abụọ na ọkara, nke a ga-abụ nke ndị Izrel.

7 “ ‘A ga-ewepụta ala pụrụ iche maka nwa eze. Ala a ga-adị n’akụkụ abụọ nke ala
nsọ ahụ, na obodo ahụ. Ala a ga-agbatịrị site n’akụkụ ọdịda anyanwụ ebe oke ya dị
ruo n’osimiri Mediterenịa. Ọ ga-esitekwa n’oke ala ya n’ọwụwa anyanwụ gbatịrị ruo
n’ebe ebo Izrel nwere ala ha. N’ụzọ dị otu a, ala a ga-aha ka ala ebo Izrel ketara. 8 Ala
a ga-abụrụ ya ihe nketa n’Izrel. Ndịisi m agaghị emegbu ndị m ọzọ, ma ha ga-ahapụ
ndị Izrel ka ha keta ala ndị a dịka ebo niile ha si dị.

9 “ ‘Nke a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru: O zuolara unu,
unu ụmụ ndị eze Izrel. Kwụsịnụ ịpụnara ndị m ihe ha nwere n’ike, kpeenụ ikpe
ziri ezi na-emekwa ihe kwesiri ekwesi. Kwụsịnụ ịchụpụ ndị m site n’ihe ha, otu a
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwupụtara. 10 Ka ihe ọtụtụ unu ji
ere ahịa unu bụrụ ezigbo efa na ezigbo baf* nke a na-ejighị aghụghọ kpụọ. 11 Ka
ihe ọtụtụ homa bụrụ ihe unu ga-eji na-atụ ihe niile, ma mmanụ, ma ọka. Ihe ọtụtụ
ndị ọzọ unu ga-enwe ga-abụ efa, nke bụ otu ụzọ n’ụzọ iri nke homa, maka ịtụ ihe
dịka ọka. Nke ọzọ bụ baf, nke bụkwa otu ụzọ n’ụzọ iri nke homa, maka ịtụ ihe dịka
mmanụ. 12 Ihe ọtụtụ a ga-eji mata ịdị arọ nke ihe ọbụla ga-abụ shekel. Ihe a ga-eji
gbanwere shekel a bụ iri gera abụọ naanị. Iri shekel isii ka a ga-ejikwa gbanwere otu
mina.

### *Ịchụ aja na mmemme dị iche iche*

13 “ ‘Nke a bụ onyinye pụrụ iche unu ga-enye: otu ụzọ n’ụzọ isii nke efa, site n’otu
homa nke ọka wiiti unu. Unu ga-enyekwa otu ụzọ n’ụzọ isii nke efa† site n’otu homa
ọka balị unu. 14 Dịka e nyere ya n’iwu, unu ga-eji ihe ọtụtụ baf, weta mmanụ oliv
bụ otu ụzọ n’ime ụzọ iri‡ site n’otu kọ ọbụla (kọ na-erita baf iri, n’ihi na baf iri, bụ
ọtụtụ otu homa). 15 Ọzọkwa, otu atụrụ nke sitere n’igwe atụrụ dị narị atụrụ abụọ,
nke si n’ebe ịta nri nke Izrel a gbara mmiri nke ọma ka unu ga-eweta. A ga-eji ndị
a chụọ aja mkpụrụ ọka, na aja nsure ọkụ, na aja udo, maka ikpuchiri ndị wetara ha
mmehie ha. Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya. 16 Ndị
niile nke n’ala ahụ ga-eso nwa eze Izrel bute onyinye ndị a. 17 Nwa eze ahụ ka ọ dịrị
iweta ihe eji achụ aja nsure ọkụ niile, aja mkpụrụ ọka, aja ihe ọṅụṅụ niile, na nke

* **45:10** 45:10 Otu ihe ọtụtụ bat na-erite galọọnụ isii † **45:13** 45:13 Ihe ruru kilogram abụọ na ụma asaa
‡ **45:14** 45:14 Ya bụ lita abụọ na ụma abụọ

Ọnwa ọhụrụ nakwa nke ụbọchị izuike niile, n’oge mmemme niile nke ndị Izrel. Ọ
ga-ewetakwa ihe eji achụ aja mmehie, aja mkpụrụ ọka, aja nsure ọkụ, aja udo maka
ikpuchiri ụmụ Izrel mmehie ha.
18 “ ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwuru: N’ụbọchị mbụ
nke ọnwa mbụ ọbụla, unu ga-ewere nwa oke ehi nke na-enweghị ntụpọ, chụọ aja
ido ụlọnsọ m nsọ. 19 Onye nchụaja ga-ewere ụfọdụ ọbara nke aja mmehie ahụ tee ya
n’akụkụ ọnụ ụzọ ụlọnsọ m, na n’akụkụ anọ nke ọnụ ebe ịchụ aja, na n’ahụ ibo nke
ọnụ ụzọ ogige ime. 20 Unu ga-emekwa otu ihe ahụ n’abalị asaa nke ọnwa ahụ n’ihi
onye ọbụla mehiere na-amaghị ama, maka ikpuchi mmehie metụtara ụlọnsọ m.
21 “ ‘N’ụbọchị nke iri na anọ nke ọnwa mbụ, ka unu ga-edebe Mmemme Ngabiga.
Ọ ga-abụ mmemme abalị asaa. N’ụbọchị ndị a, naanị achịcha nke a na-ejighị ihe
na-eko achịcha mee ka unu ga-eri. 22 N’ụbọchị ahụ, onyeisi ga-eweta otu nwa oke
ehi maka aja mmehie nke onwe ya, na maka mmehie mmadụ niile nke ala ahụ.
23 N’ụbọchị asaa nke mmemme ahụ, kwa ụbọchị, ọ ga-eweta oke ehi asaa na ebule
asaa, ndị na-enweghị ntụpọ ọbụla, dịka ihe ịchụ aja nsure ọkụ nye Onyenwe anyị. Ọ
ga-enyekwa nwa mkpi kwa ụbọchị maka aja mmehie. 24 Ọ ga-ewetakwa n’ihi onyinye
ịnata ihuọma, narị lita ọka anọ na iri itoolu,§ nke bụ otu ọtụtụ otu oke ehi, otu ọtụtụ
otu ebule. Tinyere lita mmanụ oliv atọ na ụma asatọ. Lita mmanụ atọ na ụma asatọ
dịkwara otu efaf ọka.
25 “ ‘N’oge mmemme ụbọchị asaa ahụ, nke ga-ebido n’ụbọchị iri na ise nke ọnwa
asaa, ọ ga-ewetakwa ihe a ga-eji chụọ aja mmehie na aja nsure ọkụ, na aja mkpụrụ
ọka, na mmanụ.

# 46

1 “ ‘Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị kwuru, Ọnụ ụzọ ama nke
ogige ime, nke na-eche ihu n’ọwụwa anyanwụ ga-abụ ihe e mechiri emechi n’ụbọchị
isii niile unu na-arụ ọrụ. Ma a ga-emeghe ya n’ụbọchị izuike, na n’ụbọchị mmemme
ọnwa ọhụrụ. 2 Nwa eze ga-esitekwa na mpụta ọnụ ụlọ nke ọnụ ụzọ ama bata, guzoro
n’akụkụ ọnụ ụzọ ama. Ndị nchụaja ga-edozikwa aja nsure ọkụ ya, na aja udo ya. Ọ
ga-anọkwa n’ụlọ mbata kpọọ isiala nke ofufe ya, sitekwa n’ebe ahụ pụọ. Ma a gaghị
emechi ọnụ ụzọ ahụ tutu ruo anyasị. 3 N’ihu ọnụ ụzọ ama ka ndị ala a ga-anọ fee
Onyenwe anyị ofufe n’ụbọchị izuike na n’ụbọchị mmemme ọnwa ọhụrụ. 4 Ihe nwa
eze ahụ ga-eji chụọrọ Onyenwe anyị aja nsure ọkụ n’ụbọchị izuike na n’oge mmemme
ọnwa ọhụrụ ga-abụ ụmụ ebule isii, na otu ebule, ndị na-enweghị ntụpọ. 5 Ọ ga-eweta
ihe e ji achụ aja mkpụrụ ọka, nke bụ iri lita ụtụ ọka abụọ na abụọ, na otu ebule. Ọ
ga-ewetakwa lita mmanụ oliv asaa maka iri lita ụtụ ọka abụọ na abụọ ahụ, tinyere
onyinye ụmụ atụrụ dịka o si masị ya. 6 N’ụbọchị mmemme ọnwa ọhụrụ, ọ ga-eweta
otu nwa oke ehi, ụmụ atụrụ isii na otu ebule, ha niile ọ dịghị nke ga-enwe ntụpọ
ọbụla. 7 Ọ ga-ewetakwa otu oke ehi na iri lita ụtụ ọka iri abụọ na abụọ, maka aja
mkpụrụ ọka. Ọ ga-enye ebule ahụ na iri lita ụtụ ọka iri abụọ na abụọ. Ọ ga-enyekwa
ụmụ atụrụ ndị ahụ na ụtụ ọka dịka o si masị ya inye ha, tinyere iri lita ọka abụọ
na abụọ, nke ọ ga-eweta maka lita mmanụ oliv asaa. 8 Mgbe nwa eze ga-abata n’ụlọ
ahụ, ọ ga-esite na mpụta ọnụ ụlọ nke ọnụ ụzọ ama, ebe ahụ kwa ka ọ ga-esikwa pụọ.
9 “ ‘Ma mgbe ndị ala ahụ ga-abata n’ihu Onyenwe anyị n’oge mmemme dị nsọ, onye
ọbụla sitere n’ọnụ ụzọ dị n’ugwu bata aghaghị ịpụ site n’ọnụ ụzọ nke dị na ndịda.
Ndị si na ndịda bata ga-esitekwa n’ụzọ nke ugwu pụọ. Ọ dịghị onye ga-esi n’ụzọ o
si bata laghachi, kama ha ga-esi ụzọ nke chere ebe ha si bata ihu pụọ. 10 Nwa eze
ga-anọ n’etiti ha, ọ bụrụ na ha abanye, ọ ga-eso ha banye, ọ bụrụkwa na ha apụwa,
ọ ga-esokwa ha pụọ. 11 N’oge mmemme ndị ahụ pụrụ iche, na mmemme ndị akara

§ **45:24** 45:24 Nha otu ọtụtụ efaf

aka, ihe a ga-eji nye onyinye mkpụrụ ọka ga-abụ iri lita ụtụ ọka abụọ na abụọ, na otu oke ehi, na iri lita ụtụ ọka abụọ na abụọ na otu ebule, tinyere ụmụ atụrụ nke ọnụọgụgụ ya ga-abụ dịka o si masị ya, tinyere lita mmanụ asaa maka iri lita ụtụ ọka abụọ na abụọ ọbụla.
12 " 'Mgbe ọbụla onyeisi chọrọ inye onyinye afọ ofufu, maka ịchụrụ ONYENWE
ANYỊ aja nsure ọkụ maọbụ aja udo, a ga-emeghere ya ọnụ ụzọ ime nke dị n'ọwụwa anyanwụ ka o si n'ebe ahụ bata. Ọ ga-enye onyinye ya dịka e si enye ya n'ụbọchị izuike. Emesịa, ọ ga-atụgharịa pụọ. A ga-emechikwa ụzọ ahụ mgbe ọ pụchara.
13 " 'Ọ bụ nwa atụrụ gbara otu afọ nke na-enweghị ntụpọ ka ị ga-eweta ụbọchị niile maka ịchụ aja nsure ọkụ nye ONYENWE ANYỊ, ọ bụ kwa ụtụtụ, kwa ụtụtụ ka ị
ga-eweta ya. 14 Ị ga-ewetakwa onyinye mkpụrụ ọka kwa ụtụtụ kwa ụtụtụ tinyere
ya, ihe niile ga-emejupụta ya bụ lita ụtụ ọka isii, na lita mmanụ abụọ e ji agwakọta ya. Iche onyinye mkpụrụ ọka a n'ihu ONYENWE ANYỊ bụ ụkpụrụ ga-adịgide ruo mgbe
ebighị ebi. 15 Ya mere, ha ga-edozi nwa atụrụ na ụtụ ọka na mmanụ oliv ahụ, kwa ụtụtụ kwa ụtụtụ, maka aja nsure ọkụ a na-achụ kwa mgbe niile.
16 " 'Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, ọ bụrụ na onyeisi enye onye ọbụla n'ime ụmụ ya ndị ikom onyinye site n'ihe nketa ya, ihe ahụ ga-abụ
nke ya, bụrụkwa nke mkpụrụ ya, ọ ga-abụ oke ha site n'ihe nketa ruo ebighị ebi. 17 Ọ
bụrụkwanụ na o kenye otu n'ime ndị ohu ya ala site n'ihe nketa ya, ala ahụ ga-abụ nke ohu ahụ tutu ruo n'afọ inwere onwe, nke bụ afọ asaa ọbụla. Mgbe ahụ, ohu ahụ ga-enwere onwe ya, ma ala ahụ ga-aghọkwa nke nwa eze ahụ. Ihe nketa ya bụ nke
dịịrị naanị ụmụ ya, nke ha ka ọ bụ. 18 Nwa eze ahụ agaghị ewere ala ọbụla site n'ihe
nketa ndị mmadụ n'aka ike, si otu a chụpụ ha site n'ala ha. Ala ọbụla ọ na-enye ụmụ ya ga-abụrịrị ihe nketa sitere n'ala nke aka ya. Ka a ghara ime ka ọ bụladị otu n'ime ndị m bụrụ onye e kewapụrụ site n'ihe nketa ha.' "
19 Mgbe nke a gasịrị, o duuru m site n'ọnụ ụzọ dị n'akụkụ ọnụ ụzọ ama kpọbata m n'ọnụụlọ ndị ahụ dị nsọ, nke chere ihu n'ugwu, nke bụ ihe nketa ndị nchụaja. O
gosiri m otu ebe dị na nsọtụ akụkụ ọdịda anyanwụ. 20 Ọ sịrị m, "Ebe a ka ndị nchụaja ga-anọ sie anụ aja ikpe ọmụma na aja mmehie. Ebe a ka ha ga-anọkwa ghee onyinye mkpụrụ ọka, ka a ghara iwebata ha na mpụta ogige a nakwa ido ndị mmadụ nsọ."
21 Mgbe ahụ, o mere ka m pụta ọzọ n'ogige ezi. O duuru m gaa n'akụkụ anọ nke
ogige ahụ. Ahụrụ m na e nwere ogige nke dị n'akụkụ ọbụla. 22 N'akụkụ anọ nke
ogige ndị a, ogige ndị ọzọ dị n'ime ha. Ha ruru mita iri abụọ na atọ n'ogologo, ebe obosara ha rukwara mita iri na asaa n'ọkara. Ogige anọ ndị a ha n'otu. 23 N'ime
ụlọ ahụ, gburugburu ya, e nwere ahịrị e ji nkume doo, nke nwere ekwu dị n'okpuru
ahịrị nkume ahụ. 24 Ọ sịrị m, "Ndị a bụ ụlọ ebe ndị niile na-eje ozi n'ụlọnsọ ukwu ahụ ga-anọ na-esi ihe aja niile ndị mmadụ webatara."

# 47

*Iyi si n'ime ụlọnsọ ukwu*

1 Mgbe ahụ, nwoke ahụ mere ka m lọghachikwa n'ọnụ ụzọ ụlọnsọ ukwu ahụ. Ahụrụ m iyi nke na-asọ na-aga n'akụkụ ọwụwa anyanwụ (n'ihi na ihu ụlọnsọ ahụ chere ihu n'ọwụwa anyanwụ). Mmiri ahụ si n'okpuru ụlọnsọ ukwu ahụ n'akụkụ
aka nri nke ebe ịchụ aja, n'akụkụ ndịda ya na-asọpụta, 2 O mere ka m si n'ọnụ ụzọ
dị n'ugwu pụta, ma gaa n'ọnụ ụzọ nke ọwụwa anyanwụ, ebe m hụrụ mmiri ahụ ka o si na ndịda na-asọpụta.
3 Mgbe anyị na-aga, o ji ihe ọtụtụ dị ya n'aka tụpụta ihe ruru narị mita ise na iri mita atọ. O duuru m na-agafe mmiri ahụ. N'oge a, mmiri ahụ erutela na nkwonkwo
ụkwụ. 4 O jikwa ihe ọtụtụ ya tụpụtakwa ihe ruru narị mita ise na iri mita atọ ọzọ,
durukwa m na-aga. N'oge a, mmiri ahụ erutela m n'ikpere. Mgbe ọ tụpụtara ihe

ruru narị mita ise na iri mita atọ ọzọ, o duuru m gafee mmiri ruru m n’ukwu. 5 Ọ
tụpụtakwara ihe ruru narị mita ise na iri mita atọ ọzọ, mmiri ahụ ghọrọ osimiri nke
m na-apụghị ịgafe, n’ihi na mmiri ahụ toro eto bụrụ mmiri ogwugwu, osimiri nke
mmadụ na-apụghị iji ije ụkwụ gafee. 6 Ọ sịrị m, “Nwa nke mmadụ, ị hụrụ ihe ndị
a?”

O duuru m laghachi n’ọnụ mmiri. 7 Mgbe m rutere n’ọnụ mmiri, lee, ahụrụ m
ọtụtụ osisi nke toro n’akụkụ abụọ nke iyi ahụ. 8 Ọ sịrị, “Iyi a na-asọ na-aga akụkụ
ọwụwa anyanwụ, sọbanye n’ime Araba,* tutu bịa sọbanye n’osimiri nnu ahụ. Mgbe
ọ sọbanyere n’osimiri nnu ahụ, mmiri ya na-aghọ mmiri dị mma ọṅụṅụ 9 Ọtụtụ ihe
e kere eke dị ndụ ga-ebi n’ebe ọbụla mmiri a na-asọ aga. Azụ dị ukwuu ga-ejupụta
n’ebe ahụ, n’ihi na mmiri a na-asọbanye n’ebe ahụ, na-eme ka mmiri osimiri ghọọ
mmiri dị mma ịṅụ aṅụ. Ya mere, ihe niile dị n’ebe ọbụla mmiri a sọjere ga-adị ndụ.
10 Ndị ọkụ azụ ga-eguzo n’ọnụ mmiri, site n’En-Gedi ruo n’En-Eglaim a gaghị enweta
ebe a na-agbasa ụgbụ e ji egbu azụ. Azụ dị iche iche ga-adịkwa, dịka azụ osimiri
Mediterenịa. 11 Ma ebe apịtị ya niile, n’ebe niile mmiri na-adọ, agaghị adị ọhụrụ,
ọ bụ nnu ga-aga ka a ga-ahapụrụ ebe ndị ahụ. 12 Mkpụrụ osisi dị iche iche ga-eto
n’akụkụ abụọ nke iyi ahụ. Akwụkwọ ha agaghị akpọnwụ akpọnwụ, mkpụrụ ga-adị
n’elu ha mgbe niile. Mkpụrụ ọhụrụ ga-adị n’ọnwa ọbụla, n’ihi na ọ bụ mmiri si
n’ebe nsọ ahụ na-agba ha mmiri. Mkpụrụ ha ga-abụ nri, akwụkwọ ha ga-abụkwa
maka ịgwọ ọrịa.”

### *Oke ala ahụ*

13 Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, “Nke a ga-abụ oke
ala nke unu ga-eke n’etiti ebo iri na abụọ nke Izrel dịka ihe nketa ha, Josef ga-enweta
oke ala abụọ. 14 Ebo ọbụla ga-eketa dịka ibe ya ketara, n’ihi na-eweliri m aka ṅụọ iyi
na m ga-enye ndị nna nna unu ala ahụ, na ala a ga-aghọkwa ihe nketa unu.

15 “Nke a ga-abụkwa oke ala nke ala unu ahụ.

“N’akụkụ ugwu, ọ ga-esite n’osimiri Mediterenịa n’akụkụ ụzọ Hetlon, gafee Lebo
gawa Zedad, 16 site ya ruo Berota na Sibraim (nke dị n’oke ala dị n’agbata
Damaskọs na Hamat), rukwaa na Haza Hatikon, nke dị n’oke ala Hauran. 17 Oke
ala ahụ ga-esite n’oke osimiri gbasoro oke ala nke ugwu Damaskọs ruo Haza
Enan. Oke ala ndị Hamat ga-adịkwa n’akụkụ ugwu. Nke a ga-abụ oke ala nke
akụkụ ugwu unu.

18 Oke ala n’akụkụ ọwụwa anyanwụ ga-esite n’agbata Hauran na Damaskọs soro
akụkụ osimiri Jọdan, n’agbata ndị Gilead na ala ndị Izrel ruo n’osimiri dị
n’ọwụwa anyanwụ, ruokwa Tama. Nke a ga-abụkwa oke ala unu n’akụkụ ọwụwa
anyanwụ.

19 Oke ala na ndịda, ọ ga-esite na Tama ruo ọbụladị mmiri Meriba Kadesh, soro
ụzọ ọdọ mmiri iyi Ijipt ruo osimiri Mediterenịa. Nke a bụ oke ala ahụ na ndịda.

20 N’ọdịda anyanwụ, osimiri Mediterenịa ga-abụ oke ala, ruo na ncherita ihu ụzọ
e si abata Hamat. Nke a bụ oke ala unu n’akụkụ ọdịda anyanwụ.

21 “Ala niile dị n’ime oke ala ndị a, ka unu ga-eke n’etiti onwe unu dịka ebo Izrel
si dị. 22 Keenụ ha ka ha bụrụ ihe nketa nye onwe unu, ma nyekwa ndị ọbịa bi n’etiti
unu, bụ ndị ọbịa niile mụtara ụmụ. Unu ga-agụ ha dịka ndị amụrụ n’ala Izrel. Ha ga-
esokwa unu keta oke n’ihe nketa a na-ekenye ndị ebo niile nke Izrel. 23 A ga-ekenye
ndị ọbịa ihe nketa n’ebo ọbụla ha bi n’etiti ha.” Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu,
bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri.

* **47:8** 47:8 Maọbụ, Ndagwurugwu Jọdan

# 48

*Okike e kere ala ahụ*

1 “Nke a bụ aha ebo niile, na ala ha ga-eketa:

“Dan otu oke. Site na nsọtụ ugwu, n’akụkụ ụzọ Hetlon ruo mbata Hamat. Haza
Enan na oke ala ugwu Damaskọs, nke dị n’akụkụ Hamat ga-abụ akụkụ oke ala
ha site n’akụkụ ọwụwa anyanwụ ruo n’ọdịda anyanwụ.
2 Asha ga-enwe otu oke. Ọ ga-abụ n’akụkụ oke ala Dan, site n’ọwụwa anyanwụ ruo
n’ọdịda anyanwụ.
3 Naftalị ga-enwe otu oke. Ọ ga-abụ n’akụkụ oke ala Asha, site n’ọwụwa anyanwụ
ruo n’ọdịda anyanwụ.
4 Manase nwere otu oke. Ọ ga-abụ n’akụkụ oke ala Naftalị, site n’ọwụwa anyanwụ
ruo n’ọdịda anyanwụ.
5 Ifrem ga-enwe otu oke. Ọ ga-abụ n’akụkụ oke ala Manase, site n’ọwụwa anyanwụ
ruo n’ọdịda anyanwụ.
6 Ruben ga-enwe otu oke. Ọ ga-abụ n’akụkụ oke ala Ifrem, site n’ọwụwa anyanwụ
ruo n’ọdịda anyanwụ.
7 Juda ga-enwe otu oke. Ọ ga-abụ n’akụkụ oke ala Ruben, site n’ọwụwa anyanwụ
ruo n’ọdịda anyanwụ.

8 “Ala nke ya na oke ala ndị Juda ga-agbatị site n’ọwụwa anyanwụ ruo n’ọdịda
anyanwụ, ka ị ga-enye dịka onyinye pụrụ iche. Obosara ya ga-abụ ihe dị kilomita iri
na atọ. Ogologo ya site n’ọwụwa anyanwụ ruo n’ọdịda anyanwụ ga-aha ka ala otu
ebo ketara. Ụlọnsọ ukwu ahụ ga-adịkwa n’etiti ya.
9 “Ogologo ebe a ewepụtara iche nye Onyenwe anyị ga-adị kilomita iri na atọ,
obosara ya ga-abụ kilomita ise na ọkara. 10 Nke a ga-abụ ala dị nsọ e debere iche nye
ndị nchụaja. N’akụkụ ugwu, ịdị ogologo ala ahụ ga-abụ kilomita iri na atọ. N’akụkụ
ọdịda anyanwụ, ogologo ya bụ kilomita ise na ọkara. Ogologo nke akụkụ ndịda na
nke ugwu bụ otu. Otu a kwa, ogologo nke akụkụ ọwụwa anyanwụ na ọdịda anyanwụ
bụ otu. Ebe nsọ Onyenwe anyị ga-adị n’etiti ya. 11 Ọ ga-adịrị ndị nchụaja, bụ ụmụ
Zadọk ndị e doro nsọ, ndị sitere n’ikwesị ntụkwasị obi jeere m ozi, ndị na-esiteghị
n’iso ụzọ m kpafuo dịka ndị Izrel na agbụrụ Livayị mere mgbe ha mehiere. 12 Ọ bụ
onyinye pụrụ iche a na-enye ha site n’ala ahụ dị nsọ, bụ ala ahụ kachasị nsọ, nke ya
na ala ndị Livayị nwekọrọ oke ala.
13 “N’akụkụ ala ndị nchụaja, a ga-ekenye ndị Livayị ala nke ha. Ha ga-eketa ala
nke ogologo ya bụ kilomita iri na atọ, nke obosara ya bụ kilomita ise na ọkara. 14 O
nweghị akụkụ ala nsọ a a ga-ere ere, maọbụ nye ya ndị ọzọ, n’ihi na ihe dị nsọ ka ọ
bụ nye Onyenwe anyị.
15 “Ala nke fọdụrụ, nke ogologo ya dị kilomita iri na atọ, nke obosara ya dị kilomita
ise na ọkara ga-abụ ala ọha. A ga-ewu ebe obibi n’elu ya, wukwaa ebe ịzụ anụ
ụlọ. Obodo ga-adị n’etiti ya, 16 nke ogologo akụkụ ugwu ruru kilomita abụọ na ụma
anọ, akụkụ ndịda ruru kilomita abụọ na ụma anọ, akụkụ ọwụwa anyanwụ ruru
kilomita abụọ na ụma anọ, na akụkụ ọdịda anyanwụ rukwara kilomita abụọ na
ụma. 17 Ogologo nke ala ebe ịta nri nke ga-agba obodo ahụ gburugburu ga-aha n’otu.
Ọ ga-adị narị mita na iri mita atọ na ise n’ugwu, na ndịda narị mita na iri mita atọ
na ise, n’ọwụwa anyanwụ narị mita na iri mita atọ na ise, n’akụkụ n’ọdịda anyanwụ
narị mita na iri mita atọ na ise. 18 Ma nke ga-afọdụ na ya, n’akụkụ oke ala ahụ dị
nsọ nke gara ogologo ya niile, ga-abụ n’akụkụ ọwụwa anyanwụ kilomita ise na ọkara
n’akụkụ ọdịda anyanwụ ga-abụkwa kilomita ise na ọkara. Ihe omume ya ga-abụ nri
nye ndị ọrụ nke obodo ahụ. 19 Ndị ọrụ si n’obodo, bụ ndị na-akọ ya ga-abụkwa ndị

sị n’ebo niile nke Izrel. 20 Ala ahụ niile, ma ala ahụ e doro nsọ, ma ala ndị obodo,
ga-adị kilomita iri na atọ n’akụkụ ya ọbụla.
21 “Ala niile fọdụrụ n’akụkụ abụọ nke ala ahụ dị nsọ, na ala ndị obodo ga-abụ nke
nwa eze. Ọ ga-agbatị ruo ọwụwa anyanwụ site n’ọtụtụ kilomita iri na atọ nke oke
ahụ dọ nsọ ruo n’oke ala ọwụwa anyanwụ, sitekwa na kilomita iri na atọ n’akụkụ
ọdịda anyanwụ ruo oke ala ọdịda anyanwụ. Akụkụ abụọ ndị a nke gbatịrị ruo n’oke
ala ndị obodo ga-abụ nke onye ọchịchị, ebe nsọ ahụ na ụlọ ukwu ahụ ga-adị n’etiti
ha. 22 Ya mere, oke ala nke ndị Livayị na ala ndị obodo ga-adị n’etiti ala nke nwa eze
nwee. Oke ala nke nwa eze ahụ ga-adị n’etiti oke ala Juda na oke ala Benjamin.

23 “Ala e nyere ebo fọdụrụ dị otu a:

“Benjamin ga-enwe otu oke, nke sitere n’ọwụwa anyanwụ ruo n’ọdịda anyanwụ.
24 Simiọn ga-enwe otu oke; ha na ndị Benjamin ga-enwekọ otu oke ala n’akụkụ ọwụwa anyanwụ na n’akụkụ ọdịda anyanwụ.
25 Isaka ga-enwe otu oke; ha na ndị Simiọn ga-enwekọ oke ala n’akụkụ ọwụwa anyanwụ, na n’akụkụ ọdịda anyanwụ.
26 Zebụlọn ga-enwe otu oke; ha na ndị Isaka ga-enwekọ oke ala n’akụkụ ọwụwa anyanwụ, na n’akụkụ ọdịda anyanwụ.
27 Gad ga-enwe otu oke; ha na ndị Zebụlọn ga-enwekọ oke ala n’akụkụ ọwụwa anyanwụ na n’akụkụ ọdịda anyanwụ.
28 Ma oke ala Gad nke chere ihu n’akụkụ ndịda ga-esi na Tama ruo n’iyi Meriba Kadesh, sorokwa ọdọ mmiri Ijipt ruo n’osimiri Mediterenịa.

29 “Nke a bụ ala unu ga-ekenye ebo Izrel niile dịka oke ha. Ha ga-abụkwara ha ihe nketa.” Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

*Ọnụ ụzọ ama obodo ọhụrụ*

30 “Ndị a ga-abụ ọnụ ụzọ ama e si apụ n’obodo ahụ.

“N’akụkụ nke ugwu, nke ịdị ogologo mgbidi ya bụ kilomita abụọ, 31 ọnụ ụzọ ama
obodo ahụ ga-abụ aha ebo niile nke Izrel. Ọnụ ụzọ ama atọ n’akụkụ ugwu ga-abụ ọnụ ụzọ ama Ruben, ọnụ ụzọ ama Juda, na ọnụ ụzọ ama Livayị.
32 N’akụkụ ọwụwa anyanwụ, nke mgbidi ya dị kilomita abụọ n’ogologo, ọnụ ụzọ ama atọ ga-adị ya. Ha ga-aza ọnụ ụzọ ama Josef, ọnụ ụzọ ama Benjamin, na ọnụ ụzọ ama Dan.
33 N’akụkụ ndịda, nke ogologo ya bụkwa kilomita abụọ, ọnụ ụzọ ama atọ ga-adị ya: ọnụ ụzọ ama Simiọn, ọnụ ụzọ ama Isaka, na ọnụ ụzọ ama Zebụlọn.
34 N’akụkụ ọdịda anyanwụ nke ịdị ogologo mgbidi ya bụ kilomita abụọ, ọnụ ụzọ ama atọ ga-adị ya: ọnụ ụzọ ama Gad, ọnụ ụzọ ama Asha, na ọnụ ụzọ ama Naftalị.

35 “Gburugburu obodo ahụ bụ kilomita iri.

“Aha a ga-akpọ obodo ahụ site n’oge ahụ gawa, ga-abụ, ‘ONYENWE ANYỊ nọ n’ebe ahụ.’ ”

# Daniel

*Ọzụzụ Daniel na Babilọn*

1 Mgbe afọ atọ gafere site na mgbe Jehoiakim bidoro bụrụ eze na-achị Juda,
Nebukadneza eze na-achị Babilọn bịara buso Jerusalem agha. 2 Onyenwe anyị
nyefere Jehoiakim, eze Juda n'aka ya, na ihe ụfọdụ e jiri chọọ ụlọnsọ Chineke mma.
O buuru ha niile gawa Shaịna n'ụlọ chi ya, dobe ha n'ime n'ụlọakụ chi ya.
3 Eze nyere Ashipenaz, onyeisi ndị ozi ya iwu ka ọ kpọbata ụmụ okorobịa sitere
n'ezinaụlọ eze na nke ndị ọchịchị n'ala Izrel n'ije ozi eze. 4 Ụmụ okorobịa ndị a
ga-abụ ndị n'enweghị nkwarụ ọbụla n'ahụ ha, ndị mara mma ile anya na ndị nwere
nghọta banyere ihe ọmụma dị iche iche. Ha kwesikwara ịbụ ndị maara ihe, ndị
na-amụta ihe ọsịịsọ na ndị tozuru oke ije ozi n'ụlọeze. Ọ ga-akụziri ha asụsụ na
akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche nke ndị Kaldịa. 5 Onye eze si n'oche nri ya na-ewepụta
nri na mmanya a ga-enye ha kwa ụbọchị. Ha ga-anọ n'ọzụzụ a afọ atọ, nke ọ ga-abụ
e mechaa, ha ga-abụ ndị kwesiri ịnọ n'ije ozi n'obi onye eze.
6 Ndị so n'ime ha bụ Daniel, na Hananaya, na Mishael, na Azaraya, ha bụ ndị Juda.
7 Ma onyeisi ndị na-ejere eze ozi nyere ha aha ọhụrụ ọzọ Daniel ka ọ kpọrọ Belteshaza;
Hananaya ka ọ kpọrọ Shedrak; ọ kpọrọ Mishael, Mishak; kpọkwa Azaraya, Abednego.
8 Ma Daniel kpebiri n'obi ya na ọ gaghị emerụ onwe ya site n'iri nri maọbụ ịṅụ
mmanya eze. Ya mere ọ rịọrọ onyeisi ndị ozi ka ọ hapụ ya ka ọ ghara imerụ onwe ya.
9 Ma Chineke mere ka Daniel nweta ihuọma na obi ebere n'aka onyeisi ndị na-ejere
eze ozi. O nwekwara ọmịiko n'ebe Daniel nọ n'ihi ọnọdụ ha. 10 Ma onyeozi a gwara
Daniel, "Ana m atụ egwu n'ihi onyenwe m eze, onye kwuru ihe unu ga-eri na ihe unu
ga-aṅụ. Ọ bụrụ na ọ hụ na unu tara ahụ karịa ndị ọgbọ unu ndị ọzọ, ndụ m ga-anọ
na nsogbu n'aka onye eze."
11 Daniel sịrị onyeisi ahụ e tinyere ọrụ ilekọta Daniel, na Hananaya, na Mishael, na
Azaraya n'aka, 12 "Biko, nye anyị naanị ahịhịa nri, na mmiri ọṅụṅụ, ka ọ bụrụ ihe
oriri anyị na ihe ọṅụṅụ anyị. Jiri ya lee anyị ule ụbọchị iri. 13 Jirizie anya gị chọpụta
ma o nwere ihe dị iche n'etiti anyị na ndị ọzọ, ndị na-eri nri ọma nke eze nyere, site
n'ihe ị hụrụ, mee ụmụodibo gị otu o kwesiri." 14 O kwenyere ime ihe ha kwuru, ọ
nwalere ha abalị iri.
15 Mgbe ụbọchị iri ahụ zuru, a chọpụtara na ahụ dị ha mma, chọpụtakwa na ha
dị mma ile anya karịa ụmụ okorobịa ndị ọzọ e ji nri ọma niile eze nyere zụọ. 16 Ya
mere onyeisi ozi ahụ wepụrụ nri na mmanya ọma ahụ ha kwesiri iri ma nye ha naanị
akwụkwọ nri.
17 Chineke mere ka ụmụ okorobịa anọ ndị a nwee ọgụgụisi pụrụ iche na nghọta
n'ihe ọbụla gbasara edemede na amamihe niile. Daniel nwekwara nghọta ịkọwa ụdị
ọhụ niile na nrọ niile.
18 Mgbe oge eze nyere a ga-eji kpọbata ha n'ije ozi ya zuru, onyeisi ndị na-eje
ozi chere ha n'ihu Nebukadneza. 19 Ha na eze kparịtakwara ụka. Ma n'ime ụmụ
okorobịa ahụ niile a zụrụ, o nweghị nke amamihe ya juru eze afọ dịka amamihe
Daniel, na Hananaya, na Mishael, na Azaraya. N'ihi nke a, o mere ka ha soro bụrụ
ndị na-adụ ya ọdụ. 20 Mgbe ọ bụlakwa eze chọrọ ndụmọdụ banyere amamihe na
nghọta, ọ na-achọpụta na ndụmọdụ ha na-enye ya na-adị mma okpukpu iri karịa
ndụmọdụ nke ndị majiki ya na ndị maara ihe banyere kpakpando nọ n'alaeze ya
na-enye ya.
21 Daniel nọgidere bụrụ onye na-adụ eze ọdụ tutu ruo afọ mbụ nke Sairọs bidoro
ịchị dịka eze.

# 2

*Nrọ Nebukadneza*

[1] N'ime afọ nke abụọ nke ọchịchị ya, eze Nebukadneza rọrọ nrọ dị iche iche. Nrọ
ndị a mere ka obi ya gbasasịa, ụra pụkwara ya n'anya. [2] Mgbe ahụ, eze kpọrọ ndị
majiki, ndị ha na mmụọ ọjọọ na-ekwu okwu, ndị mgbaasị na ndị ihe banyere ngagharị
nke kpakpando doro anya ka ha bịa gwa ya ihe ahụ ọ rọrọ na nrọ. Mgbe ha bịara,
guzo n'ihu eze, [3] ọ sịrị ha, "Arọrọ m nrọ nke na-enye m nsogbu n'obi. Achọrọ m ịma
ihe ọ pụtara."

[4] Mgbe ahụ, ndị ahụ na-enyocha kpakpando gwara eze ahụ okwu n'asụsụ ndị Siria
sị, "Ka gị eze dịrị ndụ ruo mgbe ebighị ebi, Ị ga-agwa ụmụodibo gị nrọ a ị rọrọ, anyị
ga-akọwara gị ihe ọ pụtara."

[5] Ma eze zara ndị Kaldịa, "Nke a bụ ihe m kpebirila: Ọ bụrụ na unu agwaghị m
ihe nrọ a na nkọwa ya bụ, aga m eme ka abọkasịa unu, tikpọkwa ụlọ unu, mee ka
ha ghọọ mkpọmkpọ ebe. [6] Ma ọ bụrụ na unu gwa m ihe ahụ m rọrọ na nrọ ma
kọwaakwa ya, aga m enye unu onyinye dị iche iche na ụgwọ ọrụ nsọpụrụ dị ukwuu.
Ya mere, gwanụ m nrọ ahụ na nkọwa ya."

[7] Ọzọkwa, ha zaghachiri, "Ka eze gwa ndị ohu ya ihe ọ rọrọ na nrọ, anyị ga-
akọwakwa ya."

[8] Eze zaghachiri, "Ama m na ọ bụ oge ka unu na-achọ inweta n'ihi na unu
amatala na ihe a ka m kpebiri ime. [9] Ọ bụrụ na unu agwaghị m nrọ ahụ naanị
otu ntaramahụhụ dịịrị unu. Unu agbaala izu ịgwa m okwu ụgha na okwu nduhie
na-ele anya na ọnọdụ ga-agbanwe. Ya mere, gwanụ m nrọ ahụ, m ga-amatakwa na
unu pụrụ ịkọwara m ya."

[10] Ndị Kaldịa zara eze, "Ọ dighị mmadụ ọbụla n'elu ụwa a nke nwere ike ime ihe a
eze na-achọ. Ọ dịghịkwa eze, n'agbanyeghị ịdị ukwuu ya na ịdị ike ya, nke jụtụrụla
ụdị ihe dị otu a eze na-ajụ n'aka ndị mgbaasị, ndị na-agba aja ya, ndị ha na mmụọ
ọjọọ na-ekwu okwu, na ndị Kaldịa. [11] Ihe a ị chọrọ ka anyị mee bụ ihe na-agaghị
ekwe omume. Ọ bụ naanị ndị mmụọ nwere ike ịkọrọ gị ihe ị rọrọ na nrọ. Ndị mmụọ
anọkwaghị n'etiti ndị mmadụ."

[12] Nke a mere ka eze jupụta n'oke iwe na ọnụma, o nyere iwu ka e gbuchaa ndị
amamihe niile nke Babilọn. [13] Mgbe e kwupụtara iwu onye eze ka e gbuo ndị oke
amamihe niile, ndị agha chọkwara ebe Daniel na ndị otu ya nọ ka ha gbuo ha.

[14] Mgbe Ariok, onye bụ onyeisi ndị nche eze pụrụ igbu ndị ikom maara ihe na
Babilọn, Daniel ji amamihe na ezi uche gwa ya okwu. [15] Ọ jụrụ onyeozi eze, bụ
Ariok, "Gịnị mere eze ji nye iwu dị ike dị otu a?" Mgbe ahụ, Ariok kọwaara ihe niile
nye Daniel. [16] Mgbe ahụ, Daniel banyere n'ụlọeze, ịhụ ya. Ọ rịọrọ eze ka o nyetụ ya
nwa oge iji kọwaakwara ya ihe nrọ ahụ pụtara.

[17] Emesịa, Daniel lara n'ụlọ nke ya gaa kọọrọ Hananaya, na Mishael, na Azaraya,
ndị enyi ya ihe merenụ. [18] Ọ gwara ha ka ha rịọọ maka ebere site n'aka Chineke
nke eluigwe banyere ihe nzuzo a, ka a hapụ igbu ya na ndị enyi ya na ndị amamihe
fọdụrụ na Babilọn. [19] N'abalị, e mere ka Daniel mata ihe omimi ahụ site n'ọhụ. Mgbe
ahụ, Daniel toro Chineke nke eluigwe, [20] Daniel sịrị,

"Otuto dịrị aha Chineke ruo mgbe ebighị ebi;
amamihe na ike dị n'aka ya.
[21] Ọ na-agbanwe oge na mgbe dị iche iche;
Ọ na-ebuli ndị eze na-akwatụkwa ha.
Ọ na-enye onye maara ihe amamihe,
ma na-enyekwa onye nwere mmụọ nghọta ihe ọmụma.
[22] Ọ na-ekpughe ihe dị omimi na ihe zoro ezo;
Ọ maara ihe dị n'ọchịchịrị,

ma ìhè binyekwara ya.
23 Ana m ekele gị, na-etokwa gị, Chineke nke nna m ha,
n’ihi na i nyela m amamihe na ike.
I meela ka m mata ihe anyị rịọrọ gị,
i mekwala ka anyị mata nrọ ahụ eze rọrọ.”

*Daniel Akọwaa nrọ*

24 N’ihi ya, Daniel jekwuru Ariok, onye ahụ eze nyere iwu igbu ndị ndụmọdụ niile
dị na Babilọn, sị ya, “Egbukwala onye ọbụla n’ime ndị amamihe Babilọn. Kama duru
m gaa n’ihu eze n’ihi na ejikeere m ịgwa ya ihe ahụ ọ chọrọ ịmata.”
25 Mgbe ahụ, Ariok mere ngwangwa duru Daniel gaa n’ihu eze, sị ya, “Achọpụtala
m otu onye n’ime ndị Juda a dọtara n’agha nwere ike ịgwa eze ihe nrọ ya pụtara.”
26 Eze jụrụ Daniel (onye a na-akpọkwa Belteshaza), “I nwere ike ịgwa m ihe ahụ m
rọrọ na nrọ, na ịkọwara m ihe ọ pụtara?”
27 Daniel gwara eze, “O nweghị onye amamihe ọbụla, onye ọbụla ya na mmụọ
na-ekwu okwu, onye mgbaasị ọbụla maọbụ onye na-enyocha kpakpando ọbụla pụrụ
ịgwa eze ihe omimi a ị chọrọ. 28 Ma o nwere Chineke nọ n’eluigwe, onye na-ekpughe
ihe omimi niile. O gosila Nebukadneza ihe ga-eme n’ụbọchị ndị dị n’ihu. Nrọ gị na
ọhụ niile nke gara n’uche gị mgbe ị dinara n’ihe ndina gị bụ ndị a:
29 “Ihe ị rọrọ na nrọ, gị bụ eze, bụ ihe banyere ihe na-aga imezu n’oge dị n’ihu.
Onye ahụ na-ekpughe ihe nzuzo niile egosikwala gị ihe nke ga-eme. 30 Ma mụ onwe
m, ekpugheghị ihe omimi a nye m n’ihi na m karịrị mmadụ ọbụla dị ndụ n’amamihe,
kama ọ bụ ka gị bụ eze mata nkọwa ya ma ghọtakwa ihe gabigara n’uche gị.
31 “Eze, ihe ị hụrụ n’ọhụ bụ nke a. Ị hụrụ mmadụ a kpụrụ akpụ. Mmadụ a a kpụrụ
akpụ buru nnọọ ibu. Ọ na-egbukwa nweghenweghe, bụrụkwa ihe na-eyi onye ọbụla
lekwasịrị ya anya egwu. 32 E ji ọlaedo a nụchara anụcha kpụọ isi mmadụ ahụ, jiri
ọlaọcha kpụọ aka ya na obi ya. E jikwa bronz kpụọ afọ ya na apata ụkwụ ya. 33 Ọ
bụkwa igwe ka e ji kpụọ ogwe ụkwụ ya abụọ. Ma akụkụ ụkwụ ya, nke a na-azọ n’ala
ka e ji igwe a gwara ya na ụrọ kpụọ. 34 Mgbe ị na-ele anya, a wapụtara nkume, ma
ọ bụghị aka mmadụ ka e ji wapụta ya. Nkume a kụrụ mmadụ ahụ a kpụrụ akpụ
n’ukwu nkume na ụrọ ya, kụpịasịa ha. 35 Mgbe ahụ, e tijisịrị igwe ahụ na ụrọ ahụ,
bronz ahụ na ọlaọcha ahụ nakwa ọlaedo ahụ niile. Ha dịka igbugbo ọka nke na-adị
n’ebe a na-azọcha ọka n’oge okpomọkụ. Ifufe fechapụsịrị ha na-ahapụghị ihe ngosi
ọbụla. Ma nkume ahụ dakwasịrị ihe ahụ awuru awu mechara ghọọ ugwu dị ukwuu,
nke jupụtara ụwa niile.
36 “Eze, nke a bụ nrọ ahụ. Ugbu a ka anyị kọwaara gị ihe nrọ ahụ pụtara. 37 Gị
onwe gị, eze, bụ eze nke ọtụtụ ndị eze ọzọ nọ n’okpuru ya, onye Chineke nke eluigwe
nyere ike ọchịchị, n’ocheeze niile, na ike na otuto; 38 nyefeekwa n’aka gị ụmụ mmadụ
niile na ụmụ anụmanụ bi n’ime ọhịa, na ụmụ nnụnụ nke igwe, e mere ka ị bụrụ eze
ihe niile ndị a, gị bụ isi ahụ e ji ọlaedo kpụọ.
39 “Mgbe ị chịchara alaeze ọzọ ga-ebili, ma ọ gaghị adị ukwuu dịka nke gị, mgbe
nke a gasịrị, alaeze ọzọ bụ nke atọ, nke ga-adị ka bronz ga-ebilikwa, ọ ga-achị ụwa
niile. 40 A ga-enwekwa alaeze nke anọ, nke ga-esi ike dịka igwe. Dịka igwe nke na-
akụri ihe niile, ọ ga-egwepịa ma kụrikwaa ndị a niile. 41 Ma ebe ị hụrụ na ọbụ ụkwụ
ahụ na mkpịsịụkwụ ya niile na ụfọdụ n’ime ha bụ ụrọ ọkpụ ite na ụfọdụ bụkwa igwe,
alaeze nke ekewara ekewa ka ọ ga-abụ, ma ọ ga-esitụ ike dịka igwe nke dị n’ime ya,
n’ihi na ị hụrụ igwe ahụ na agwakọtara ya na ụrọ apịtị. 42 Dịka mkpịsịụkwụ ya, nke
ụfọdụ n’ime ya bụ igwe, ụfọdụ bụkwa ụrọ, na-egosi na akụkụ ụfọdụ nke alaeze ahụ
ga-esi ike ma akụkụ ụfọdụ agaghị esi ike ntiwa. 43 Dịka otu ahụ ị hụrụ e siri gwakọta
igwe na ụrọ ọnụ, otu a ka ọchịchị alaeze ndị a ga-achọ njikọta alaeze na ibe ya, ma
nke a agaghị ekwe mee, dịka ọ gaghị ekwe omume bụ ịgwakọta igwe na ụrọ.

44 “N’oge ahụ, ndị eze ndị a ga-anọ n’ọchịchị, Chineke nke eluigwe ga-eme ka alaeze
ọzọ bido. Ọ bụkwa alaeze nke a na-apụghị imebi emebi. O nwekwaghị onye ọbụla
pụrụ imeri alaeze ahụ. Ọ ga-ala alaeze ndị ọzọ n’iyi, mee ka ha bụrụ ihe efu, ma ọ
ga-adịrị na-aga n’ihu ruo ebighị ebi. 45 Dịka i siri hụ nkume ahụ dị ukwuu e sitere
n’ugwu wapụta, nke a na-ejighị aka wapụta were kụrichaa igwe ahụ, bronz ahụ,
ụrọ ahụ, ọlaọcha ahụ na ọlaedo ahụ.
“Chineke dị ukwuu emeela ka eze mara ihe na-aga ime n’oge dị n’ihu. Nrọ a bụ
eziokwu, nkọwa ya kwesikwara ntụkwasị obi.”
46 Mgbe ahụ, eze Nebukadneza dara n’ala n’ihu Daniel nye ya nsọpụrụ. O nyekwara
iwu ka eweta onyinye na ụda na-esi isi ụtọ were chụnyere ya aja. 47 Onye eze
gwakwara Daniel, “N’ezie, Chineke gị bụ Chineke kachasị chi niile. Ọ bụ ya na-achị
eze niile bi n’ụwa, bụrụkwa Onye na-ekpughepụ ihe omimi niile, n’ihi na lee, i nwere
ike ịkọwa ihe omimi nke a.”
48 Emesịa eze nyere Daniel ọkwa dị ukwuu, nyekwa ya ọtụtụ onyinye dị iche iche.
O mere ya onyeisi na-achị ala Babilọn niile, meekwa ya onyeisi ndị ndụmọdụ eze
niile. 49 Ma dịka Daniel siri rịọ eze, o mekwara ka Shedrak, Mishak na Abednego
bụrụ ndị na-elekọta ihe niile a na-eme eme n’ala Babilọn, Daniel n’onwe ya nọdụrụ
n’ogige eze.

# 3

*Oyiyi ọlaedo na ọkụ a kwanyere*

1 Eze Nebukadneza kpụrụ oyiyi ọlaedo nke ịdị elu ya ga-adị iri mita atọ, obosara
ya ga-adị ka mita atọ. Emesịa, o debe ya n’obosara ala Dura, nke dị n’otu mpaghara
Babilọn. 2 Eze Nebukadneza ziri ozi ka e zie ndị nnọchite anya eze niile, ndịisi, ndị
na-achị achị, ndị ndụmọdụ ya niile, ndị na-elekọta ụlọakụ ya niile, ndị ọkaikpe, ndị
maji na-edozi okwu na ọtụtụ ndị ọzọ nọkwa n’isi ọchịchị akụkụ niile nke ala ahụ,
ka ha bịa n’ụbọchị a ga-edo oyiyi ahụ nsọ bụ nke eze Nebukadneza guzobere. 3 Ya
mere, ndị nnọchite anya eze niile, ndịisi, ndị na-achị achị, ndị ndụmọdụ ya niile na
ndị na-elekọta ụlọakụ ya niile, ndị ọkaikpe, ndị maji na-edozi okwu na ọtụtụ ndị
ọzọ nọkwa n’isi ọchịchị akụkụ niile nke ala ahụ, zukọtara maka ido oyiyi ahụ nke
eze, bụ Nebukadneza guzobere nsọ. Ha niile guzooro ọtọ n’ihu oyiyi ahụ bụ nke eze
Nebukadneza guzobere.
4 Onye nkwusa kwuru okwu n’olu ike, “Mmadụ niile si na mba niile na asụsụ
niile dị iche iche bịa, ka a na-enye iwu nke a, 5 mgbe ọbụla unu nụrụ ụda ọja,
une, ụbọ akwara, maọbụ ụda ihe egwu ọbụla, unu ga-ada n’ala kpọọ isiala nye
ihe a Nebukadneza eze ji ọlaedo kpụọ. 6 Onye ọbụla juru ịkpọ isiala ka a ga-atụba
ngwangwa n’ime ọkụ nke na-enwu ajọ onwunwu.”
7 Ya mere, ngwangwa ha nụrụ ụda opi ike, nke ọja, une ụbọ akwara, nke une na
nke egwu dị iche iche, ndị niile si mba dị iche iche, ndị na-asụ asụsụ dị iche iche,
dara n’ala kpọọ isiala nye oyiyi ọlaedo ahụ, nke eze bụ Nebukadneza guzobere.
8 N’oge a, ụfọdụ n’ime ndị Kaldịa pụtara n’ihu boo ndị Juu ebubo. 9 Ha gwara eze,
bụ Nebukadneza, “Ka eze dị ndụ ruo mgbe ebighị ebi. 10 Gị, onwe gị nyere iwu, na
onye ọbụla nụrụ ụda opi ike, ọja, une, ụbọ akwara maọbụ ihe egwu ọzọ ga-akpọ
isiala sekpuoro ihe ahụ e ji ọlaedo kpụọ, 11 na onye ọbụla jụrụ ịkpọ isiala ka a ga-
atụba n’ime ọkụ na-enwu ajọ onwunwu. 12 Ugbu a, e nwere ụfọdụ ndị Juu, ndị aha
ha bụ Shedrak, na Mishak na Abednego, ndị i mere ka ha bụrụ ndị na-elekọta ihe
niile a na-eme eme n’ala Babilọn; ha aṅaghị ntị n’iwu eze nyere, jụkwa ịkpọ isiala
nye oyiyi a i ji ọlaedo kpụọ.”
13 Nebukadneza n’ọnọdụ oke iwe nyere iwu ka a kpọta Shedrak, na Mishak, na
Abednego. Ya mere, a kpọbatara ndị ikom a n’ihu eze, 14 Nebukadneza sịrị ha, “Ọ

bụ eziokwu, Shedrak, na Mishak, na Abednego, na unu adịghị efe chi m maọbụ kpọọ
isiala nye oyiyi ọlaedo ahụ m guzobere? 15 Mgbe unu nụrụ ụda opi, ọja, une na ụbọ
akwara maọbụ ihe egwu ọzọ, ọ bụrụ na unu adaa n'ala kpọọ isiala nye oyiyi ahụ a
kpụrụ akpụ, ihe niile ga-adị mma. Kama ọ bụrụ na unu ajụ ịkpọ isiala, a ga-atụnye
unu ngwangwa n'ime ọkụ na-enwu ajọ onwunwu. Kedụ chi ahụ nke pụrụ ịnapụta
unu site n'aka m?"

16 Shedrak, na Mishak, na Abednego, gwara eze, "O Nebukadneza, ọ dịghị mkpa
na anyị ga-azara ọnụ anyị n'ihu gị banyere okwu a. 17 Ọ bụrụ Chineke anyị na-efe
nwere ike ịzọpụta anyị site n'ọkụ na-enwusi ike n'aka gị, ya zọpụta anyị. 18 Ma ọ
bụrụkwa na ọ zọpụtaghị anyị, mata nke ọma, o eze, na anyị agaghị efe chi gị ndị a
maọbụ kpọọ isiala nye oyiyi a ị kpụrụ akpụ nke ị guzobere."

19 Mgbe ahụ, Nebukadneza jupụtara n'oke iwe megide Shedrak, na Mishak, na
Abednego, nke bụ n'ihu ya gbarụrụ n'ebe ha nọ. O nyere iwu sị ka e mee ụlọ ọkụ
ahụ ka ọ dị ọkụ ugboro asaa karịa ka o kwesiri. 20 Ọ nyere ụfọdụ ndị kacha sie ike
n'etiti ndị agha ya iwu ka e kee Shedrak, na Mishak, na Abednego eriri n'ụkwụ na
aka, tụbakwa ha n'ọkụ ahụ na-enwu enwu. 21 Ya mere, ha kere ndị ikom ahụ agbụ
ebe ha ka yi uwe ụkwụ ha, na akwa nkụkụ isi ha, na uwe mwụda ha, na uwe ha niile,
tụba ha n'etiti ọkụ ahụ na-enwu ajọ onwunwu. 22 Ebe ọ bụ n'okwu eze dị ọkụ ọkụ,
tinyere na ọkụ ahụ na-enwusi ike, o mere ka ire ọkụ regbuo ndị agha ahụ tụbara
Shedrak, na Mishak, na Abednego. 23 Ya mere, Shedrak, na Mishak, na Abednego ndị
e kesịrị agbụ ike, dabara n'ime ọkụ ahụ na-enwusi ike.

24 N'ọnọdụ iju anya, Eze Nebukadneza wuliri n'ụkwụ ya, jụọ ndị ndụmọdụ sị, "Ọ
bụghị ndị ikom atọ anyị kere agbụ ka anyị tụbara n'ime ọkụ?"

Ha zara eze, "Ọ bụ ezie, eze."

25 Ọ sịrị, "Ma ana m ahụ mmadụ anọ ndị a na-ekeghị agbụ, ka ha na-agagharị n'ime
ọkụ ahụ. Leekwa na ọkụ ahụ anaghị ere ha. Onye ahụ mere ha mmadụ anọ yiri nwa
nke ndị bụ chi."

26 Mgbe ahụ Nebukadneza, bịara nso n'ọnụ ụzọ oke ọkụ ahụ sị, "Shedrak, Mishak
na Abednego, ndị ohu Chineke Onye kachasị ihe niile elu, pụtanụ! Bịanụ n'ebe a!"

Ya mere, Shedrak, Mishak na Abednego, sitere n'oke ọkụ ahụ pụta. 27 Ụmụ
ndị eze niile, ndịisi niile, ndị ahụ niile na-achị achị na ndị ndụmọdụ eze niile,
zukọtara gburugburu ndị ikom atọ ahụ, ha hụkwara na ọkụ emerụghị ha ahụ,
na o rechapụghịkwa agịrị isi dị ha n'isi, uwe ha ereghịkwa ọkụ, isisi anwụrụ ọkụ
adịghịkwa n'ahụ ha.

28 Mgbe ahụ, Nebukadneza sịrị, "Otuto dịrị Chineke nke Shedrak, Mishak na
Abednego n'ihi na o zitere mmụọ ozi ya ịzọpụta ndị ohu ya tụkwasịrị ya obi, mgbe
ha jụrụ ime ihe eze nyere n'iwu, kama ha jiri aka ha họrọ ịnwụ, kama ife chi
ọzọ nke na-abụghị Chineke nke ha. 29 Ya mere, ana m enye iwu a taa, na-asị na
onye ọbụla, maọbụ mba ọbụla, maọbụ asụsụ ọbụla, onye kwuru okwu ọjọọ megide
Chineke Shedrak, Mishak na Abednego, a ga-etikpọkwa ụlọ onye ahụ, mee ka ọ ghọọ
mkpọmkpọ ebe. N'ihi na o nweghị chi ọzọ nke pụrụ ịzọpụta n'ụzọ dị otu a."

30 Mgbe ahụ, eze nyere Shedrak, Mishak na Abednego ọkwa ọzọ dị elu karịa nke
ha nwere na mbụ n'ala Babilọn.

# 4

*Nebukadneza arọọ nrọ osisi*

1 Mụ bụ Nebukadneza,
Na e zigara mmadụ niile, mba niile, na ndị na-asụ asụsụ dị iche iche n'ụwa ozi:
Ka ọ dịrị unu na mma!

2 E ji m obi ụtọ, na-eme ka unu mata ihe ịrịbama niile na ihe iju anya niile, nke
Chineke Onye kachasị ihe niile elu meere m.
3 Lee ka ihe ịrịbama ya,
na ihe ịtụnanya ya si dị ukwuu!
Alaeze ya bụ nke na-adị site ebighị ebi ruo ebighị ebi;
ọchịchị ya na-adịgidekwa site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.
4 Mụ onwe m, bụ Nebukadneza nọ n'afọ ojuju na ihe ịga nke ọma n'ụlọeze m.
5 Arọrọ m nrọ, nke mere ka ụjọ tụọ m. Ihe niile m hụrụ na nrọ mgbe m dina ala
n'elu akwa mere ka oke ụjọ tụọ m. 6 N'ihi ya, enyere m iwu ka a kpọọ ndị amamihe
niile m nwere na Babilọn ka ha bịa n'ihu m, bịa kọwaara m isi nrọ ahụ. 7 Ma mgbe
ndị mgbaasị, ndị dibịa, ndị Kaldịa na ndị na-agba afa bịara, a kọọrọ* m ha nrọ ahụ
m rọrọ, ma ha enweghị ike ịgwa m nkọwa ya. 8 N'ikpeazụ, Daniel batara n'ihu m,
onye aha ya bụ Belteshaza dịka aha chi m si dị, onye mmụọ nke chi niile dị nsọ bi
n'ime ya. Akọọrọ m ya ihe ahụ m rọrọ na nrọ.
9 Asịrị m, "Belteshaza, onyeisi ndị nkọwa ihe niile. Amaara m na mmụọ nke chi
niile dị nsọ bi n'ime gị. Amakwaara m na o nweghị ihe omimi ọbụla ga-esiri gị
ike ịchọpụta ọsịsa ya. Ugbu a, nke a bụ nrọ m, kọwaara m ihe ọ pụtara. 10 Mgbe
m dina n'elu akwa, nke a bụ ihe m hụrụ. E nwere otu osisi nke toro n'etiti ụwa,
ogologo† ya dị ukwuu. 11 Osisi a toro sie ike, ịdị elu ya rukwara n'eluigwe, a na-
ahụkwa ya anya site na nsọtụ nke ụwa niile. 12 Akwụkwọ ya dị mma ile anya, alaka
ya jupụtakwara na mkpụrụ hiri nne, o gbokwara mkpa nri nye mmadụ niile. Ụmụ
anụmanụ niile nke ọhịa na-abịakwa n'okpuru ndo ya izuike. Ụmụ nnụnụ niile nke
eluigwe na-ebikwa n'alaka ya. Ọ bụkwa site na ya ka a na-azụ ihe niile dị ndụ nri.
13 "Mgbe m nọkwa na-arọ nrọ ahụ, ahụrụ m otu n'ime ndị mmụọ ozi Chineke ka
o si n'eluigwe na-arịdata. 14 O tiri mkpu n'olu dị ike sị, 'Gbudanụ osisi ukwu
ahụ, gbukasịakwa alaka ya niile. Kụpụsịanụ akwụkwọ ndụ niile dị n'elu ya.
Ghasaakwanụ mkpụrụ ya niile, ka ụmụ anụmanụ si n'okpuru ndo ya gbapụ, ka
ụmụ nnụnụ site n'alaka ya fepụ. 15 Kama hapụnụ ogwe osisi ahụ na mgbọrọgwụ
ya ka ha dịrị n'ime ala, ebe e ji ụdọ igwe na ụdọ bronz kee ya gburugburu, ebe
ahịhịa ndụ gbakwara ya gburugburu.
" 'Ka igirigi nke eluigwe zoo ya n'ahụ, ka ahịhịa bụrụkwa nri ọ ga-eri, ya na ụmụ
anụmanụ. 16 Ka uche ya gbanwee ghọọ nke anụ ọhịa, ghara ibu nke mmadụ, afọ
asaa.
17 " 'Nke a bụ mkpebi nke mmụọ ozi ahụ nọ na nche. Ọ bụkwa mkpebi e nyere
site n'okwu nke dị nsọ, ka ụwa niile mata na Onye kachasị ihe niile elu, na-achịkwa
n'alaeze niile dị n'ụwa. Ọ bụ ya na-ewerekwa alaeze ndị a nye onye ọbụla ọ chọrọ,
ọ bụladị ndị mmadụ a na-ahụta dịka ndị dị ala karịsịa.'
18 "Nke a bụ nrọ ahụ, mụ bụ eze Nebukadneza rọrọ, ugbu a, Belteshaza, gwa m
ihe bụ nkọwa ya. N'ihi na ndị amamihe niile nọ n'alaeze m enweghị ike ịkọwara
m ya. Ma amaara m na i nwere ike ịkọwara m ya, n'ihi na mmụọ nke chi ndị ahụ
dị nsọ dị n'ime gị."

### *Daniel akọwaa nrọ*

19 Mgbe ahụ Daniel (onye a na-akpọkwa Belteshaza), nọ n'oke ihe iju anya n'ihi
na echiche ya mere ka ọma jijiji. Ya mere, eze sịrị, "Belteshaza, atụkwala egwu
n'ihi nrọ a maọbụ ihe ọ pụtara."
Belteshaza zara sị, "Onyenwe m, ka nrọ a dịrị ndị kpọrọ gị asị, ka nkọwa ya
dịkwara ndị iro gị. 20 Osisi ahụ ị hụrụ nke buru ibu, tokwa ogologo ma dịkwa ike,
nke elu ya na-emetụ mbara eluigwe, nke ndị niile bi n'ụwa hụrụ, 21 nke nwekwara
akwụkwọ ndụ dị mma, na nke jupụtara na mkpụrụ, nke na-egboro mmadụ niile

* **4:7** 4:7 Ezeere m ha nrọ ahụ † **4:10** 4:10 Maọbụ, ịdị elu ya

mkpa nri, nke ụmụ anụmanụ ọhịa niile na-ebi n'okpuru ndo ya, nke ụmụ nnụnụ
niile nke eluigwe nwere akwụ ebe obibi ha, 22 osisi ahụ bụ gị onwe gị, eze. N'ihi na
i toola bụrụ onye dị ike na onye dị ukwuu. Ịdị ukwu gị eruola n'eluigwe. Ọchịchị
gị eruokwala n'akụkụ niile nke ụwa.
23 "Mgbe ahụ, ị hụkwara onye dị nsọ na-enyocha omume ndị mmadụ nke si
n'eluigwe rịdata na-asị, 'Gbutuonụ osisi a, laa ya n'iyi, ma unu hapụ ogwe ya ka
ahịhịa ndụ gbaa ya gburugburu, ka e jirikwa ụdọ igwe na bronz kee ya gburugburu;
hapụ ya ka igirigi nke eluigwe zokwasị ya. Hapụkwa ya ka o soro anụ ọhịa taa
ahịhịa dịka nri ya tutu afọ asaa a gafee.'
24 "Eze, nke a bụ nkọwa nrọ ị rọrọ, Onye kachasị ihe niile elu enyela iwu nke
na-aghaghị imezu megide onyenwe m eze. 25 A ga-achụpụ gị site n'ebe ndị mmadụ
nọ. A ga-achụgakwa gị n'ebe gị na ụmụ anụmanụ ga-ebi n'ọhịa, Ebe ahụ ka ị ga-
anọ taa ahịhịa dịka oke ehi, igirigi nke eluigwe ga-ezokwasịkwa gị. Ọnụọgụgụ afọ
asaa ga-agabiga tutu ruo mgbe ị nabatara na Onye kachasị ihe niile elu na-achị achị
n'alaeze niile nke mmadụ, na ọ bụkwa n'aka onye ọbụla ọ chọrọ ka ọ na-enyefe
ha. 26 Dịka e siri nye n'iwu ka a hapụ ogwe osisi ahụ na mgbọrọgwụ ya n'ime ala.
Nke a na-egosi na ị ga-emecha nwetaghachi alaeze gị mgbe ị nabatara na Eluigwe
na-achị achị. 27 Ya mere, biko eze, kweere nabata ndụmọdụ m, kwụsị ime mmehie,
mee ihe ziri ezi, werekwa omume ileta ndị ogbenye dochie n'ọnọdụ ajọ omume gị.
Eleghị anya, ihe ga na-agara gị nke ọma."

*Mmezu nrọ ahụ*

28 Ma ihe ndị a niile bịakwasịrị eze Nebukadneza. 29 Mgbe ọnwa iri na abụọ
gafesịrị ọ nọ na-agagharị n'elu ụlọ dị n'ụlọeze n'obodo Babilọn. 30 Ma eze sịrị,
"Ebe a, ọ bụghị Babilọn dị ukwu, nke m wuuru onwe m dịka ebe obibi m, site n'ike
m dị ukwu na maka ebube ọchịchị m?"
31 Mgbe ọ ka kpụ okwu ahụ n'ọnụ, otu olu si n'eluigwe kwuo okwu, "Ihe a ka
e kpebiri megide gị, eze Nebukadneza. Site taa gaa n'ihu ị gaghị abụkwa eze na-
achị alaeze a. 32 A ga-esi n'etiti ndị mmadụ chụpụ gị, ka ị gaa soro ụmụ anụmanụ
biri n'ọhịa. Ị ga-atakwa ahịhịa dịka oke ehi, afọ asaa ga-agasị tutu ruo mgbe ị
ghọtara na ọ bụ Onye kachasị ihe niile elu na-achị achị n'alaeze dị niile nke ụwa.
Ọ na-enyefekwa ha n'aka onye ọbụla ọ chọrọ ka ọ chịa."
33 N'otu oge ahụ kwa, okwu ndị a e kwuru banyere Nebukadneza mezuru. E
sitere n'etiti ụmụ mmadụ chụpụ ya, ọ gakwara n'ọhịa taa ahịhịa dịka oke ehi,
igirigi nke eluigwe dekwara ahụ ya ruo mgbe ajị dị ya n'ahụ toro ogologo dịka nku
ugo, mbọ ụkwụ na aka ya dịkwa ka mbọ ụmụ nnụnụ.

34 Mgbe oge a gafesịrị, mụ bụ Nebukadneza leliri anya m elu. Mgbe ahụ kwa ka
m ghọrọ mmadụ nwere uche ọzọ. Etokwara m, ma kpọọkwa isiala nye Onye ahụ
kachasị ihe niile elu, sọpụrụkwa Onye ahụ na-adị ndụ ruo mgbe niile ebighị ebi.
Onye ọchịchị ya na-adịghị agwụ agwụ,
onye alaeze ya na-adị site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.
35 Mmadụ niile bi n'ụwa
bụ ihe efu n'ihu ya.
N'ihi na ọ na-eme ihe ọbụla ọ chọrọ
n'etiti usuu ndị bi n'eluigwe,
na n'etiti ndị bi n'ụwa.
O nweghị onye pụrụ igbochi ya,
maọbụ onye pụrụ ịjụ ya sị ya, "Gịnị mere iji mee ihe ndị a?"
36 Mgbe uche m laghachiri dịka mmadụ, enwetaghachikwara m ugwu na nsọpụrụ
na alaeze m. Ndị na-adụ m ọdụ laghachikwara bịakwute m, ha na ndị na-ejere

m ozi. E mekwara ka m bụrụkwa eze ọzọ n’alaeze m. Ugwu na nsọpụrụ m
nwere ugbu a karịrị ugwu na nsọpụrụ m nwere n’oge gara aga. 37 Ugbu a, mụ
bụ Nebukadneza na-eto, na-asọpụrụ Eze nke eluigwe, n’ihi na ọrụ ya niile dị mma,
ụzọ ya niile kwụ ọtọ. N’ihi na o nwere ike ijide ndị nganga kwanye ha ọnụ n’ime
ntụ.

# 5

*Aka na-ede ihe n’aja ụlọ*

1 Eze Belshaza, kpọrọ puku ndịisi nọ n’alaeze ya oriri, ebe ha nọ ṅụọ nnọọ mmanya
dị ukwuu. 2 Mgbe Belshaza na-aṅụ mmanya ya, ọ nyere iwu ka a chịtara ya iko ọlaedo
na ọlaọcha nke nna ya bụ Nebukadneza si n’ụlọnsọ ukwu dị na Jerusalem chịkọta,
ka eze na ndị a mara aha ha n’alaeze ya, na ndị nwunye ya, na ndị iko ya jiri ha
ṅụọ mmanya. 3 Ya mere, a chịtara iko ọlaedo ndị e si n’ụlọnsọ ukwu Chineke dị na
Jerusalem chịkọta. Eze na ndị a mara aha ha n’alaeze ya na ndị nwunye ya na ndị
iko ya jiri ha ṅụọ mmanya. 4 Ha ṅụrụ mmanya tookwa chi nke ọlaedo na ọlaọcha
na bronz, na igwe na osisi na nkume.

5 Na mberede, ha hụrụ mkpịsịaka mmadụ ka ọ na-ede ihe n’aja ụlọ nke ụlọeze ahụ
ha nọ n’ime ya, na ncherita ihu ebe a dọbara iheọkụ. Eze n’onwe ya hụrụ aka ahụ
mgbe ọ na-ede ihe ahụ. 6 Mgbe ahụ, ihu eze ahụ tụhịkọtara, gbarụọ n’ihi egwu. Oke
ụjọ tụrụ ya. Ụkwụ ya makwara jijiji. Ikpere ya abụọ kụkọtara onwe ha.

7 Eze kpọrọ mkpu ka a kpọbata ndị dibịa niile na ndị Kaldịa, na ndị na-akọwa maka
njeghari nke kpakpando. Mgbe ahụ eze sịrị ndị ikom amamihe nke Babilọn, “Onye
ọbụla nwere ike gụọ ihe ahụ e dere, nke nwekwara ike ịkọwara m ihe ọ pụtara,
ka a ga-eyikwasị uwe odo odo nke ndị eze. A ga-anyakwasị ya ihe olu ọlaedo. A
ga-emekwa ya ka ọ bụrụ onye ọchịchị nke atọ n’alaeze a.”

8 Mgbe ahụ, ndị amamihe eze batara, ma o nweghị onye ọbụla n’ime ha pụrụ ịgụta,
maọbụ ịkọwara eze ihe ọ pụtara. 9 Nke a mere, ka eze Belshaza maa jijiji karịa, ihu
ya gburu maramara ma gbarụkwaa. Ọ gbakwara ndị ozi ya gharịị.

10 Mgbe eze nwanyị, nụrụ olu eze na olu ndị a mara aha ha n’ala ya, ọ batara n’ụlọ
oriri ahụ. Eze nwanyị sịrị, “Eze, dị ndụ ruo mgbe ebighị ebi; ka ihe a mere ghara
iwetara gị ihu mgbarụ, atụla ụjọ. 11 N’ihi na o nwere otu nwoke nọ n’alaeze gị, onye
mmụọ nke chi ndị ahụ dị nsọ bi n’ime ya. N’oge ahụ nna gị bụ eze, a chọpụtara na
nwoke a jupụtara n’amamihe na nghọta, dịka a ga-asị na ya onwe ya bụ chi. Nna
gị eze Nebukadneza mere ya onyeisi ndị amamihe niile, ndị dibịa, ndị na-enyocha
kpakpando, ndị Kaldịa na ndị mgba afa niile. 12 Ebe ọ bụ na ezigbo mmụọ, mmụta
na nghọta nke e ji akọwa nrọ na ihe mgbagwoju anya, na igbo mkpa dị iche iche, dị
n’ime nwoke a a na-akpọ Daniel, nke eze kpọrọ Belteshaza. Ugbu a, zie ozi ka a kpọọ
Daniel ka ọ kọwara gị ihe a.”

13 Ya mere, a kpọbatara Daniel n’ihu eze, eze sịrị Daniel, “Ọ bụ gị bụ Daniel, otu
n’ime ndị Juda, ndị nna m dọtara n’agha site na Juda? 14 Anụla m na i nwere mmụọ
nke chi niile n’ime gị, na ị bụkwa onye jupụtara na nghọta na amamihe. 15 Ndị
amamihe m, na ndị na-enyocha kpakpando abịala n’ihu m ịgụ ihe ahụ e dere n’aja
ụlọ ma ha enweghị ike ịgụta ya maọbụ ịkọwa ihe ọ bụ. 16 Agwara m na i nwere ike
ịkọwa ihe ọbụla gbagwojuru anya. Ọ bụrụ na i nwee ike ịgụ ihe e dere n’aja ma
kọwakwara m ihe ọ pụtara, aga m eyikwasị gị uwe odo odo ndị eze, yinyekwa gị ihe
olu ọlaedo n’olu, meekwa ka i bụrụ onye ọchịchị nke atọ n’alaeze m.”

17 Daniel zara n’ihu eze, “Debere onwe gị onyinye gị, ma ọ bụkwanụ were ya nye
onye ọzọ. Ma aga m agụrụ gị eze ihe ahụ e dere ma kọwakwara gị ihe ọ pụtara.

18 “Gị eze, Chineke nke kachasị ihe niile elu nyere nna gị, Nebukadneza ike ọchịchị
a, na ịdị ukwu, na ebube, na ịma mma. 19 N’ihi ọkwa dị ukwuu nke o nyere ya, ndị

niile, na mba niile di iche iche, na-asụ asụsụ niile dị iche iche n’elu ụwa na-ama jijiji
na-atụkwa ya egwu. Ndị eze chọrọ igbu ka o gburu, ọ hapụkwara onye ọbụla ọ chọrọ
ịhapụ; o buliri onye ọbụla ọ chọrọ ibuli elu, ma ndị ọ chọrọ iweda n’ala, ka ya onwe
ya wedakwara n’ala. [20] Ma mgbe nganga na ịnya isi jupụtara ya obi, Chineke sitere
n’ocheeze ya wezuga ya, napụkwa ya ebube o nwere dịka eze. [21] A chụpụrụ ya site
n’etiti ụmụ mmadụ, nyekwa ya echiche uche dịka nke anụmanụ. Ọ bụkwa n’etiti
ụmụ ịnyịnya ibu ọhịa ka ebe obibi ya dị, o soro ha taa ahịhịa dịka oke ehi. Igirigi nke
eluigwe deekwara ahụ ya, tutu ruo mgbe ọ matara na Chineke Onye kachasị ihe niile
elu na-achị achị n’alaeze niile nke ụwa. Ọ bụkwa onye ọbụla ọ chọrọ ka ọ na-eguzobe
ka ọ chịa.
[22] “Ma gị nwa ya, O Belshaza, ewedaghị onwe gị ala, n’agbanyeghị na i ma ihe ndị
a niile. [23] N’ihi na i leliala Chineke nke eluigwe. Ị wepụtara iko ndị a e si n’ụlọnsọ
ukwu ya chịpụta, ka gị na ndịisi alaeze gị, ndị nwunye ha na ndị iko unu, jiri ṅụọ
mmanya, mgbe unu nọ na-eto chi niile nke e jiri ọlaọcha na ọlaedo, bronz na igwe,
osisi na nkume kpụọ; chi nke na-adịghị ahụ ụzọ, maọbụ nụ ihe; chi nke na-amaghị
ihe ọbụla. Ma unu enyeghị Chineke onye na-enye unu ume ndụ na onye ndụ gị na
ọganihu gị dị n’aka ya nsọpụrụ. [24] Ọ bụ nke a mere o ji zite aka ahụ ị hụrụ, nke
depụtara ozi a.
[25] “Nke a bụ ozi ahụ e dere:

mene, mene, tekel, parsin

[26] “Ihe okwu ndị a pụtara bụ nke a:
*“Mene*, Chineke agụkọọla ụbọchị ọchịchị gị, mee ka ha bịa na njedebe.
[27] “*Tekel*, atụọla gị n’ime ihe ọtụtụ chọpụta na o nweghị ihe ọbụla ị bụ.
[28] *“Parsin*, ekewala alaeze gị nyefee ya n’aka ndị Midia na Peshịa.”
[29] Mgbe ahụ Belshaza nyere iwu ka e yikwasị Daniel uwe odo odo ndị eze ahụ, ka
e yinye ya ihe olu ọlaedo. O nyekwara iwu ka e kwusaa n’alaeze ya niile, na o meela
ya onye ọchịchị nke atọ n’alaeze ahụ.
[30] N’abalị ụbọchị ahụ kwa ka e gburu Belshaza eze ndị Kaldịa. [31] N’abalị ahụ kwa
ka Daraiọs onye Midia, bidoro ịchị dịka eze. Ọ gbara iri afọ isii na abụọ n’oge o
bidoro ịchị.

# 6

*Daniel n’ọgba ọdụm*

[1] Ọ dị Daraiọs mma ịhọpụta ndịisi dị otu narị na iri abụọ, ndị ga-anọ n’alaeze ahụ
niile dịka ndị nnọchite anya eze. [2] O họpụtakwara ndịisi atọ ọzọ dịka ndịisi ha,
nke otu onye n’ime ha bụ Daniel. Ndị a bụ ndị ga na-agụkọrọ ha otu ihe si aga, ka
ihe ọbụla ghara ifunarị eze. [3] Ọ dịghị anya, ọ pụtara ihe nye eze na Daniel kwesiri
ntụkwasị obi karịa ndịisi na ndị nlekọta ahụ niile. N’ihi na amamihe ya, na ike ọrụ
ya dị ukwuu. Nke a mere ka eze chee echiche kpebie ime ya onyeisi n’alaeze niile.
[4] N’ihi nke a, ndịisi ọkwa ha dị elu na ndịisi ndị ọzọ bidoro chọwa mkpesa ha ga-enye
iji megide Daniel n’ihe gbasara ọchịchị. Ma ọ dịghị ihe ebubo ọbụla maọbụ omume
ọjọọ ọbụla ha chọpụtara, n’ihi na ọ kwesiri ntụkwasị obi. Ọ dịghịkwa omume ọjọọ
maọbụ nke aghụghọ ọbụla a chọpụtara n’ọrụ ya. [5] N’ikpeazụ, ndị ikom a sịrị, “O
nweghị otu anyị ga-esi chọta ihe a ga-eji boo nwoke a bụ Daniel ebubo, karịakwa
n’ihe metụtara iwu ofufe Chineke ya.”
[6] Ya mere, ndịisi ndị a na ndị ozi ndị ahụ kpebiri jekwuru eze ahụ sị ya, “Eze
Daraiọs, dịrịkwa ndụ ruo mgbe niile! [7] Ndịisi alaeze gị niile, ndị ukwu na ndị nta,
ndị na-anọchi anya eze na ndị ndụmọdụ na ndị ị tinyere ka ha na-achị zukọtara
kpebie na eze kwesiri inye iwu nke ga-ekwu na a chọghị ka onye ọbụla rịọọ ihe
ọbụla n’aka chi maọbụ n’aka mmadụ ọbụla karịa gị eze, site n’oge i nyere iwu a tutu

iri ụbọchị atọ agafee. Onye ọbụla nupuru isi n’iwu a ka a ga-atụba n’olulu ọdụm.
8 Anyị chọkwara ka gị bụ eze kwagide iwu a ma jirikwa aka gị dee aha gị n’akwụkwọ
iwu ahụ. N’ihi na anyị chọrọ ka ọ bụrụ iwu nke na-agaghị enwe mgbanwe, nke a na-
apụghị ịkagbukwa akagbu, dịka iwu ndị Midia na Peshịa si dị.” 9 Ya mere, Daraiọs
jiri aka ya dee aha ya n’akwụkwọ iwu ahụ.
10 Ma mgbe Daniel maara na iwu a adịla ire, ọ banyere n’ụlọ ya, n’elu ụlọ elu nke
ebe obibi ya, o meghere oghereikuku ya chere ihu na Jerusalem. N’ebe ahụ ka ọ na-
anọ ekpe ekpere na ekele Chineke ya, ugboro atọ n’ụbọchị dịka ọ na-eme na mbụ.
11 Ndị iro ya gbakọtara hụ na Daniel na-ekpe ekpere na-arịọkwa Chineke arịrịọ. 12 Ha
jekwuru eze sị ya, “I chetakwara iwu ahụ i nyere, nke sị na onye ọbụla ekwesighị
ịrịọ chi ọzọ maọbụ mmadụ arịrịọ ọbụla karịa gị, tutu iri ụbọchị atọ agafee, na onye
ọbụla nupuru isi n’iwu a ka a ga-atụba n’olulu ọdụm?”

Eze sịrị, “Ya bụ iwu ka dịkwa, dịka iwu ndị Midia na Peshịa nke e nweghị ike
ịkagbu akagbu.”

13 Mgbe ahụ, ha gwara eze, “Daniel, onye bụ otu n’ime ndị si Juda a dọtara n’agha
adịghị aṅa gị ntị, gị onye a na-asọpụrụ, maọbụ nye iwu ahụ i nyere bụ nke e dere
n’akwụkwọ. Ọ nọkwa na-ekpe ekpere ya ugbo atọ n’ụbọchị.” 14 Obi jọrọ eze njọ nke
ukwuu mgbe ọ nụrụ ihe ndị a. O kpebiri n’obi ya ime ihe niile ịhụ na Daniel ataghị
ahụhụ. Ya mere, ụbọchị ahụ niile, site n’ụtụtụ ruo n’anyasị, ọ nọ na-eche otu ọ ga-esi
mee nke a.
15 Mgbe ahụ, ndị ikom ndị a bịakwutere eze sị ya, “Chetakwa, gị eze, na dịka iwu
ndị Midia na Peshịa si dị, ọ dịghị iwu ọbụla eze nyere maọbụ ụkpụrụ nke e mere ka
o guzosie ike ga-agbanwe.”
16 N’ikpeazụ, eze nyere iwu, ha kpụpụtara Daniel tụba ya n’olulu ọdụm. Eze gwara
Daniel, “Ka Chineke gị, onye ahụ ị na-efe mgbe niile, zọpụta gị.”
17 E wetara nkume dị ukwuu jiri mechie ọnụ olulu ọdụm ahụ. Eze jikwa mgbaaka
akara ya na mgbaaka ndịisi ọzọ kaa akara e ji nyachie ọnụ olulu ahụ. E mere nke
a ka ọnọdụ Daniel hapụ ịgbanwe. 18 Mgbe eze lọbatara n’ụlọeze ya, o dinara n’ihe
ndina ya buo ọnụ, onweghịkwa nri ebutere ya. N’abalị ahụ, o nweghị ike rahụ ụra.
19 N’ìhè mbụ nke ụtụtụ, mgbe chị na-abọ, eze biliri mee ngwangwa, gaa n’olulu
ọdụm ahụ. 20 Mgbe ọ bịaruru nso olulu ahụ, ọ kpọrọ Daniel oku n’olu obi ntiwa
sị, “Daniel, ohu Chineke dị ndụ, Chineke gị ahụ ị na-efe mgbe niile, o nwekwara ike
ịzọpụta gị n’aka ọdụm?”
21 Ya mere, Daniel sịrị eze, “Eze, dịrị ndụ ruo mgbe niile! 22 Chineke m zitere mmụọ
ozi ka o mechie ọnụ ọdụm ndị a, ka ha si otu a hapụ inwe ike ịmetụ m aka, n’ihi na
Chineke maara na aka m dị ọcha. Ọ makwaara na o nweghị ihe ọbụla m mere mejọọ
gị.”
23 Ọṅụ juru eze ahụ obi! O nyere iwu ka e si n’ime olulu ahụ dọpụta Daniel. Mgbe
a kpọpụtara Daniel, o nweghị ihe ọbụla a hụrụ mere ya n’ahụ, n’ihi na ọ tụkwasịrị
Chineke ya obi.
24 Mgbe ahụ, eze nyere iwu ka e jide ndị ahụ boro Daniel ebubo. O nyere iwu ka
a tụnye ha n’olulu ọdụm ahụ, ha na ndị nwunye ha na ụmụ ha. Ọdụm ndị ahụ dị
n’ime olulu ahụ jidere ndị ahụ dọrie ma ọkpụkpụ ha tupu ha adaruo ala.
25 Emesịa, eze Daraiọs depụtara ozi a n’akwụkwọ nye iwu ka a gụọra ya mmadụ
niile, mba niile na asụsụ niile dị iche iche n’elu ụwa.

“Ka ọ dịrị unu na mma.

26 “Ana m enye iwu na mmadụ niile nọ n’alaeze m kwesiri ịtụ egwu na ịma jijiji
n’ihu Chineke nke Daniel.

“N’ihi na ọ bụ Chineke dị ndụ,
nke na-adịgide ebighị ebi.
E nweghị ike ịla alaeze ya n’iyi,

ọ bụkwa onye ọchịchị ya na-enweghị ọgwụgwụ.
27 Ọ na-agbapụta ndị ya, na-azọpụtakwa.
Ọ na-eme ihe ịrịbama na-arụkwa ọrụ ebube
n'eluigwe na n'ụwa.
N'ihi na ọ gbapụtara Daniel
site n'ike ọdụm."
28 Ya mere, ihe gaara Daniel nke ọma n'oge niile Daraiọs bụ eze, na n'oge Sairọs
onye Peshịa chịkwara dịka eze.

# 7

*Nrọ Daniel banyere anụ ọhịa anọ*

1 N'afọ mbụ, mgbe Belshaza bidoro ịchị ala Babilọn, Daniel rọrọ nrọ, hụkwa ọhụ
dị iche iche, o dere ihe ndị ahụ n'akwụkwọ.
2 "Mụ bụ Daniel hụrụ n'ime ọhụ m n'abalị, elere m anya, hụ n'ihu m oke ifufe anọ
nke eluigwe ka ha na-atụgharị oke osimiri. 3 Anụ ọhịa anọ buru ibu si n'ime osimiri
ahụ rịpụta. O nweghị nke yiri ibe ya.
4 "Nke mbụ dị ka ọdụm, kama o nwere nku dịka ugo. Mgbe m nọ na-ele ya anya,
a nyakapụrụ nku ya, welie ya, hapụ ya ka o guzo n'elu ala n'ụkwụ ya abụọ dịka
mmadụ. E nyekwara ya ụdị obi nke mmadụ nwere.
5 "Anụ ọhịa nke abụọ yiri anụ ọhịa buru ibu a na-akpọ bịa (n'asụsụ bekee). E weliri
ya n'otu akụkụ, ọ kpụkwa ọgịrịga atọ n'ọnụ ya, n'etiti eze ya. A gwara ya, 'Bilie, rie
anụ ka o si dị gị mma.'
6 "Mgbe nke a gasịrị, ka m nọ na-ele anya, anụ ndọgbu ọzọ pụtara, anụ ọhịa ahụ
yiri agụ, ma o nwere n'azụ ya nku anọ dịka nke nnụnụ. O nwekwara isi anọ. E
nyekwara ya ike ọchịchị.
7 "Mgbe nke a gasịrị, n'ime ọhụ nke abalị, ahụrụ m anụ ọhịa nke anọ. Anụ ọhịa
a na-eyi oke egwu, ọnụ apụghị ịkọwa ihe o yiri. Ọ bụkwa anụ ọhịa dị nnọọ ike, nke
na-eji eze igwe ya dị ukwuu na-adọwasị ma na-etipịasịkwa ihe ọbụla, nke na-ejikwa
ụkwụ ya azọgbu ihe ọbụla fọdụrụ. Ọ bụ anụ ọhịa gbara iche site n'anụ ọhịa ndị ọzọ,
bụrụkwa anụ nwere mpi iri.
8 "Mgbe m nọ na-eche banyere mpi ndị a, na mberede mpi ntakịrị ọzọ sikwa n'etiti
ha pupụta. E si n'ukwu hopu* mpi atọ n'ime mpi iri mbụ ahụ n'ihu ya.† Mpi ntakịrị
a nwere anya dịka mmadụ, na ọnụ na-ekwu okwu jupụtara n'ịnya isi.
9 "Anọkwa m na-ele anya
"hụ ka e doziri ocheeze,
ebe Onye ahụ na-adị site na mbụ nọdụrụ.
Uwe o yi na-acha nnọọ ezi ọcha dịka snoo,
agịrị isi dị ya n'isi na-acha ọcha dị ka ezi ogho ọcha.
Ocheeze ya na-enwu ka ire ọkụ,
ụkwụ igwe ya niile na-acha ọkụ.
10 Iyi na-asọ ka ọkụ
si n'ihu ya na-asọpụta.
Puku kwụrụ puku na-agara ya ozi.
Otu a kwa, nde kwụrụ nde ndị mmadụ guzo n'ihu ya.
Ndị ikpe nọdụrụ ala,
asaghekwara akwụkwọ dị iche iche.
11 "Mgbe m nọ na-ele anya, n'ihi okwu ịnya isi nke mpi ahụ na-ekwu, elegidere
m anya tutu ruo mgbe e gburu anụ ọhịa ahụ, laa anụ ahụ ya n'iyi, were ya nye ka

* **7:8** 7:8 Ya bụ, nyakapụ † **7:8** 7:8 Ime ka mpi ntakịrị a nweta ohere ebe ọ ga-esi pụta.

a kpọọ ya ọkụ. 12 (Gbasara ụmụ anụ ọhịa ndị ọzọ, a napụrụ ha ọchịchị ha, ma a
hapụrụ ha ka ha dịrị ndụ gaa n’ihu nwantakịrị oge).
13 “N’ime ọhụ m n’abalị, a hụrụ onye yiri nwa nke mmadụ, ka ọ nọ na-abịa
n’igwe ojii nke eluigwe. Onye a bịara nso n’ebe onye ahụ na-adị site na mbụ nọ.
E dubatakwara ya n’ihu ya. 14 E nyere ya ike ọchịchị, ebube na ike ịbụ eze; mba niile
dị iche iche na ndị niile na-asụ asụsụ dị iche iche kpọrọ isiala nye ya. Ọchịchị ya
bụ ọchịchị na-adị ruo mgbe ebighị ebi, nke na-agaghị agabiga. O nwekwaghị onye
nwere ike ịkwatu alaeze ya.

### *Nkọwa nrọ ahụ*

15 “Mụ onwe m, bụ Daniel, ọhụ a m hụrụ tụrụ mmụọ m ụjọ nke ukwuu, mekwa ka
obi m ma jijiji. 16 Ejekwuuru m otu n’ime ndị guzo n’ebe ahụ nso jụọ ya ihe ihe ndị
a niile pụtara.
“Ọ gwara m ma kọwakwara m ihe ihe ndị a pụtara. 17 ‘Anụ ọhịa anọ ndị a bụ
alaeze anọ nke ga-ebili n’ụwa. 18 Ma ọ bụ ndị nsọ nke Onye kachasị ihe niile elu,
ga-anara alaeze. Ọ ga-abụkwa nke ha ruo mgbe ebighị ebi.’
19 “Mgbe ahụ, achọrọ m ịmata ihe banyere anụ ọhịa nke anọ ahụ, nke ahụ gbara
iche site n’anụ ọhịa ndị ọzọ, na-eyikwa oke egwu, nke nwere eze dịka igwe, na mbọ
yiri nke e ji bronz kpụọ. Nke ahụ na-adọwasị ndị mmadụ, na nke na-azọgbukwa
ndị fọdụrụ. 20 Asịkwa m ya kọwaara m ihe mpi iri ahụ dị ya n’isi pụtara, na ihe
banyere mpi nke ọzọ puputara, na ihe mere e ji nyakapụ mpi atọ ahụ n’ihi ya. Asị
m ya kọwakwara m ihe banyere mpi ahụ, nke nwere anya, na ọnụ na-ekwu okwu
jupụtara n’ịnya isi, ma dịkwa ka ọ dị ike karịa ndị ọzọ. 21 Mgbe m na-ele anya, ahụrụ
m ka mpi a na-alụso ndị nsọ ọgụ na-emerikwa. 22 Tutu ruo mgbe onye ahụ na-adị
site na mbụ bịara kpee ikpe nke gaara ndị nsọ nke Onye kachasị ihe niile elu, ma oge
bịakwara mgbe ha natara alaeze ahụ.
23 “Nke a bụ ihe o kwuru: ‘Anụ ọhịa nke anọ a bụ alaeze nke ga-apụta n’ụwa. Ọ
ga-adị iche site n’alaeze ndị ọzọ. Ọ ga-azọpịa, kụrie, ma bibiekwa ụwa niile. 24 Mpi
iri ahụ nọchiri anya ndị eze iri ga-esi n’alaeze ya pụta. Mgbe ndị eze a ga na-achị,
eze ọzọ, nke dị iche site na ndị bụrụ ya ụzọ ga-ebilikwa, ma merie ndị eze atọ ndị
ọzọ ahụ ma laa ha n’iyi. 25 Ọ ga-ekwu okwu kwugide Onye kachasị ihe niile elu. O
ga-emekpa ndị nsọ ahụ. Ọ ga-agbalịkwa ịgbanwe iwu niile na omenaala niile. A
ga-enyefe ndị nsọ n’aka ya afọ atọ na ọkara.
26 “ ‘Ma a ga-emeghe ụlọ ikpe, napụkwa ya ike niile, kpochapụ ya ma laakwa ya n’iyi
kpamkpam. 27 Mgbe ahụ, ike ọchịchị, ike na ịdị ukwuu nke alaeze niile dị n’okpuru
eluigwe ka a ga-enyefe n’aka ndị nsọ, bụ ndị nke Onye ahụ kachasị ihe niile elu.
Alaeze ya ga-adịgidekwa ruo mgbe ebighị ebi. Ndị niile na-achị achị ga-erubere ya
isi, kpọọkwa isiala nye ya.’
28 “Nke a bụ ọgwụgwụ okwu ahụ. Mụ onwe m, bụ Daniel, echiche m mere ka m
tụọ egwu nke ukwu, ihu m gbanwere dịka onye ahụ na-adịghị, ma o nweghị onye
ọbụla m gwara ihe m hụrụ.”

## 8

### *Ọhụ Daniel hụrụ banyere ebule na ewu*

1 N’afọ nke atọ site na mgbe eze Belshaza bidoro ịbụ eze, mụ bụ Daniel hụrụ ọhụ
ọzọ. 2 N’ime ọhụ, ahụrụ m onwe m n’obodo Susa, nke bụ obodo ukwu ebe eze nwere
isi ọchịchị ya, n’obodo dị na mpaghara Elam. Eguzokwara m n’akụkụ osimiri Ulai.
3 Eweliri m anya elu, hụ otu ebule nwere mpi ogologo abụọ ka o guzo n’akụkụ iyi, otu
n’ime mpi abụọ ya ahụ bidoro ito ogologo karịa nke ọzọ. 4 Mgbe m na-ele anya, ebule
ahụ malitere iji mpi ya na-asọ ihe o bụla dị n’ọdịda anyanwụ na n’ugwu nakwa na

ndịda. O nweghị anụ ọbụla nwere ike iguzogide ya, o nwekwaghị onye ọbụla pụrụ
inyere ndị ọ lụsoro ọgụ aka. O mere ihe ọbụla masịrị ya si otu a dị ukwuu.
5 Mgbe m nọ na-atule nke a, na mberede ahụrụ m otu mkpi si n'ọdịda anyanwụ
pụta, na-agafe ụwa niile ma ụkwụ erughị ya ala. Mkpi a, nwere otu mpi n'etiti anya
abụọ ya. 6 Ọ bịaruru nso ebule ahụ nwere mpi abụọ nke m hụrụ guzo n'akụkụ mmiri,
were oke iwe na-agbata ọsọ n'ebe ọ nọ. 7 Ahụrụ m ka o ji oke iwe lụso ebule ahụ
ọgụ kujipụ mpi abụọ ya. Ebule ahụ enweghị ike iguzogide ya. Ọ tụdara ya n'ala,
were ụkwụ ya zọda ya, ma na o nweghị onye ọbụla nwere ike ịnapụta ebule ahụ site
n'ike ya. 8 Mkpi ahụ, dịịrị ike nke ukwu, ma n'uju ike ya a gbajipụrụ mpi ukwu ya.
N'ọnọdụ mpi ahụ mpi anọ puputara chee ihu n'akụkụ anọ nke eluigwe,
9 Otu ntakịrị mpi sitere n'ime otu n'ime mpi ndị ahụ pụta, tokwaa ma buo ibu nke
ukwuu ruo na ndịda, na ọwụwa anyanwụ, ruokwa n'ala ọma ahụ 10 O toro tutu o
ruo usuu nke eluigwe. Ọ kwatukwara ụfọdụ n'ime usuu nke eluigwe na ụfọdụ n'ime
kpakpando n'ala, zọtọọ ha. 11 O mere onwe ya ka ọ dị ukwuu megide onyeisi nke
usuu eluigwe, ọ napụrụ ya aja niile a na-achụ kwa ụbọchị ma tụdakwa ebe nsọ ya
n'ala. 12 N'ihi nnupu isi, e nyefere usuu ndị nsọ* na aja nsure ọkụ a na-esure kwa
ụbọchị n'aka ya. Ọ gara n'ihu n'ihe niile o mere. E mekwara ka eziokwu daa n'ala.
13 Mgbe ahụ, anụrụ m ka otu mmụọ ozi na-ajụ ibe ya sị, "Olee mgbe ọ ga-akwụsị
bụ ọhụ maka aja nsure ọkụ a na-achụ kwa ụbọchị, njehie nke na-eweta ịtọgbọ n'efu,
inyefe ebe nsọ na maka ndị nsọ a na-azọtọ ụkwụ?"
14 Ọ gwara m, "A ga-echere tutu puku ụbọchị abụọ na narị ụbọchị atọ agafee, mgbe
ahụ a ga-eme ka ebe nsọ ahụ dịghachikwa otu ọ dị na mbụ."

*Nkọwa ọhụ ahụ*

15 Mgbe mụ bụ Daniel nọ na-ele ọhụ ahụ na-achọkwa ịghọta ya, o nwere otu onye
dịka nwoke bịara guzo n'ihu m. 16 Ma anụrụ m olu otu onye na-akpọ oku site na
mmiri Ulai sị, "Gebrel, kọwaara nwoke a ihe ọhụ a pụtara."
17 Mgbe ọ bịara m nso n'ebe m guzo, egwu tụrụ m nke ukwu. Adara m, kpuo ihu
m n'ala. Ma ọ gwara m, "Nwa nke mmadụ, ghọta na ọhụ a bụ maka ọgwụgwụ oge."
18 Mgbe ahụ ọ na-agwa m okwu, adara m n'oke ụra, kpuo ihu n'ala. Ma o metụrụ
m aka, nyere m aka iguzo ọtọ n'ụkwụ m.
19 Ọ sịrị, "Lee, aga m agwa gị ihe na-aga ime n'oge oke iwe. N'ihi na ọhụ a bụ maka
oge ọgwụgwụ ihe niile nke a kara aka. 20 Ma banyere ebule ahụ ị hụrụ nke nwere
mpi abụọ, na-egosi eze Midia na Peshịa. 21 Mkpi ahụ ị hụrụ na-egosi eze ndị Griis,
nnukwu mpi nke dị n'etiti anya ya abụọ bụ eze nke mbụ. 22 Dịka mpi ahụ siri gbajie,
mpi anọ ọzọ pupụta n'ọnọdụ ya, otu a ka alaeze anọ ga-esi pụta na mba ya, ma ike
ha agaghị eru ka nke mbụ ahụ.
23 "Ma na mgbe ọgwụgwụ alaeze ahụ, mgbe iko ndị nnupu isi juru, otu eze nke
nwere ihu dị ike, na akọnuche na obi aghụghọ ga-ebili. 24 Ọ ga-adị ike nke ukwuu,
ma ọ bụghị n'ike onwe ya, ọ ga-eweta mbibi ga-eju anya. Ihe niile o metụrụ aka ga-
agara ya nke ọma. Ọ ga-alakwa ndị dị ike na ndị nsọ n'iyi. 25 Ọ ga-eme ka aghụghọ
baa ụba, ọ ga-ahụta onwe ya dịka onye dị elu karịa, mgbe ndị mmadụ na-eche na
udo dị, ọ ga-ebibi ọtụtụ ndị. Ọ ga-eguzo megide Onyeisi nke ndịisi, a ga-ebibi ya ma
ọ bụghị n'ike nke mmadụ.
26 "Ọhụ a ị hụrụ, maka ụtụtụ na anyasị nke ekpughere gị bụ eziokwu, ma zobe ọhụ
a, n'ihi na ọ dịrị ọtụtụ oge ka dị n'ihu."
27 Mụ bụ Daniel, nọrọ n'ọnọdụ ike ọgwụgwụ na ahụ esighị ike. Mgbe ụbọchị ole
na ole gafekwara, ebiliri m bidokwa na-agagharị, na-arụkwa ọrụ eze, ma obi jọrọ m
njọ nke ukwuu n'ihi nrọ ahụ, n'ihi na ọ karịrị m nghọta.

* **8:12** 8:12 Maọbụ, ndị agha

# 9

*Ekpere Daniel*

1 N’afọ mbụ, nke Daraiọs nwa Ahasuerọs (onye agbụrụ Midia), onye e mere eze nke
alaeze ndị Kaldịa, 2 n’afọ mbụ nke ọchịchị ya, ka mụ onwe m, bụ Daniel ghọtara site
n’akwụkwọ, dịka okwu ONYENWE ANYỊ nyere Jeremaya onye amụma, nke ga-emezu
mgbe Jerusalem ga-anọ na mbibi iri afọ asaa. 3 N’ihi nke a, echere m Onyenwe anyị
Chineke ihu, rịọ ya arịrịọ, site n’ekpere na arịrịọ amara, n’ibu ọnụ, na iyikwa akwa
mkpe na ntụ.
4 Ekpere m ekpere nye ONYENWE ANYỊ bụ Chineke m, ma kwupụta sị,
“Onyenwe anyị, onye dị ukwuu, dị oke egwu. Onye na-edebe ọgbụgba ndụ nke
ịhụnanya nke ndị hụrụ ya n’anya na-edebekwa iwu ya niile. 5 Ma anyị emehiela
meekwa ihe n’adịghị mma megide gị. Anyị emeela ajọ omume, anyị enupula isi
megide gị, gbakụtakwa iwu gị niile azụ. 6 Anyị e geghịkwa ndị ozi gị bụ ndị amụma
ntị, bụ ndị gwara ndị eze anyị, na ndị ọchịchị anyị, na nna anyị ha, ma mmadụ
niile bi n’ala anyị okwu n’aha gị.
7 “Onyenwe anyị, ị bụ onye ezi omume, ma n’ụbọchị taa anyị bụ ndị ihere dịrị,
ndị Juda, ndị Jerusalem na ndị Izrel niile, ndị nọ nso ma ndị nọ n’ebe dị anya
ebe ị chụgara ha n’ihi ekwesighị ntụkwasị obi anyị nye gị. 8 ONYENWE ANYỊ, ihere
emegbuola anyị. Ihere dịrị ndị eze anyị, dịkwara ndịisi anyị na ndị nna anyị, n’ihi
na anyị emeela mmehie megide gị. 9 Ma Onyenwe anyị Chineke anyị ka obi ebere
na mgbaghara niile dịrị, n’ihi na anyị enupurula gị isi. 10 Anyị erubeghị isi nye
ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, maọbụ debe iwu ahụ o nyere anyị site n’aka ndị ohu
ha bụ ndị amụma. 11 Ndị Izrel niile enupula isi n’iwu gị, wezuga onwe ha, jụ ige
gị ntị.
“Ya mere, ọbụbụ ọnụ ahụ niile e dere n’iwu Mosis, odibo nke Chineke adakwasịla
anyị, n’ihi na anyị emehiela megide gị. 12 O meela ka okwu ya guzosie ike, bụ nke
o kwuru megide anyị na ndị ndu anyị site n’iwetara anyị oke mbibi a. Nke bụ na
o nwebeghị mgbe ọbụla e merela ụdị ihe emere na Jerusalem n’okpuru eluigwe.
13 Ọ bụ dịka e si dee ya n’iwu Mosis, ka mbibi a niile bịakwasịrị anyị, ma anyị
achọbeghị ihuọma ONYENWE ANYỊ Chineke anyị, na ichegharị site na mmehie anyị
chee uche banyere eziokwu gị. 14 ONYENWE ANYỊ kpachara anya mee ka nsogbu a
bịakwasị anyị. N’ihi na ONYENWE ANYỊ, Chineke anyị, bụ onye ezi omume n’ihe
niile ọ na-eme, ma anyị jụrụ irubere ya isi.
15 “Ma ugbu a, Onyenwe anyị Chineke, onye ji aka dị ike kpọpụta ndị nke ya
n’ala Ijipt, i meere onwe gị aha nke na-adịgide ruo taa. Anyị mere mmehie, ma
mejọọkwa. 16 Onyenwe anyị, dịka ezi omume gị si dị, wezuga iwe gị na oke iwe
gị n’ebe Jerusalem nọ, bụ obodo gị, na ugwu nsọ gị. Mmehie anyị na njehie nna
anyị ha emeela ka Jerusalem na ndị gị bụrụ ihe ịkwa emo nye ndị gbara anyị
gburugburu.
17 “Ma ugbu a, Chineke anyị, biko nụrụ ekpere na arịrịọ ohu gị. N’ihi aha gị,
Onyenwe anyị jiri amara mee ka ihe si n’ihu gị mụkwasị ụlọnsọ gị nke tọgbọrọ
n’efu. 18 Chineke m, tọọ ntị gị n’ala nụrụ arịrịọ m. Meghee anya gị abụọ ka ị hụrụ
ọnọdụ mbibi nke obodo a na-akpọ aha gị nọ. Anyị anaghị arịọ ka i nyere anyị aka
n’ihi na anyị bụ ndị ezi omume, kama anyị na-arịọ n’ihi na ebere gị dị ukwuu.
19 Onyenwe anyị nụrụ! Onyenwe anyị, gbaghara anyị! Onyenwe anyị biko, gee ntị
ma zaa anyị. N’ihi aha gị, O Chineke m, anọkwala ọdụ, n’ihi obodo gị, na ndị nke
gị bụ aha gị ka a na-akpọ ha.”

*Narị afọ anọ na iri afọ itoolu*

20 Mgbe m nọ na-ekwu okwu na-ekpe ekpere, na-ekwupụta mmehie m na mmehie
ndị m Izrel, na-arịọkwa amara n’ihu ONYENWE ANYỊ bụ Chineke m maka ugwu dị nsọ
nke Chineke m, 21 ebe m ka nọ na-ekpere, Gebrel, nwoke ahụ m hụrụ n’ọhụ na mbụ,
feere ọsịịsọ bịakwute m n’oge a na-achụ aja nke uhuruchi. 22 Ọ bịara sị m, “Daniel,
a bịara m ugbu a inye gị uche na nghọta. 23 Na mbido oge ị malitere ịrịọ arịrịọ, ka
okwu ọsịsa pụtara. Abịara m ịgwa gị ya, n’ihi na ị bụ onye a na-akwanyere ugwu
nke ukwuu. Ya mere, tụgharịa uche n’okwu a, ghọtakwa ọhụ a.
24 “Iri izu ụka asaa, ka e dere n’iwu nye ndị gị na obodo nsọ gị iji kwụsị njehie,
ime ka mmehie kwụsị, na ịchụ aja maka ikpuchi ajọ omume na iweta ezi omume
nke ga-adị ruo mgbe ebighị ebi, na ịkachi ọhụ na amụma ahụ akara, nakwa ite Ebe
ahụ Kachasị Nsọ[*] mmanụ.
25 “Ma mara, werekwa uche ghọta nke a: Site n’oge e nyere iwu ka e wugharịa
Jerusalem tutu ruo mgbe Onye ahụ e tere mmanụ, onyendu ahụ ga-abịa, ga-abụ izu
ụka asaa, na izu ụka iri isii na abụọ, a ga-ewughachi ya, na okporoụzọ ya, na olulu
mmiri ya, maọbụ n’ime oge nsogbu. 26 Mgbe izu ụka iri isii na abụọ gasịrị, Onye
ahụ e tere mmanụ ka a ga-egbu, ma o nweghị ihe ọ ga-enwe. Usuu agha nke onye
ọchịchị ga-abịa bibie obodo na ụlọnsọ. Oge ikpeazụ ga-abịa dịka idee mmiri; agha
ga-adịgide ruo n’oge ọgwụgwụ, e kpebiela na ịla n’iyi ga-adị. 27 Ya na ọtụtụ ndị
mmadụ ga-enwe ọgbụgba ndụ n’otu ‘izu ụka,’ ọ bụkwa n’ọkara[†] izu ụka ahụ, ka
ọ ga-eme ka ịchụ aja na inye onyinye kwụsị. Ọ ga-emekwa ihe arụ dị egwu n’ime
ụlọnsọ ahụ, ruo mgbe a ga-awụkwasị ya ọgwụgwụ ahụ bụ nke akara aka n’ahụ onye
ọjọọ ahụ.”

# 10

*Ọhụ Daniel hụrụ banyere otu nwoke*

1 N’afọ atọ nke ọchịchị Sairọs eze Peshịa, e nyere Daniel (onye aha ya bụkwa
Belteshaza mkpughe). Ozi ahụ bụ eziokwu, ọ gbasakwara oke ọgbaaghara. Ọ
ghọtara ozi ahụ, nwetakwa nkọwa banyere ọhụ ahụ.
2 N’oge ahụ, mụ onwe m, bụ Daniel, ruru ụjụ izu ụka atọ. 3 Erighị m nri ọma
ọbụla, erikwaghị m anụ, aṅụkwaghị m mmanya, eteghị m mmanụ otite ọbụla n’ahụ
m n’ime izu ụka atọ a niile.
4 N’ụbọchị nke iri abụọ na anọ nke ọnwa mbụ n’afọ, eguzo m n’akụkụ osimiri
ukwu ahụ, bụ Taịgris, 5 eleliri m anya m elu, hụ n’ihu m otu nwoke yi uwe akwa
ọcha, onye e kekwasịrị belịt e ji ọlaedo sitere Ụfaz mee n’ukwu ya. 6 Ahụ ya na-
egbukwa maramara dịka nkume beril, ìhè si n’ihu ya dị ka ìhè nke amụma eluigwe.
Mkpụrụ anya ya na-enwukwa dịka ire ọkụ. Ụkwụ ya na aka ya na-acha dịka bronz
e hichara nke ọma. Okwu si ya n’ọnụ na-ada ụda dịka ụzụ nke ọtụtụ mmadụ.
7 Ọ bụ naanị m Daniel hụrụ ọhụ a. Ndị mụ na ha nọ ahụghị ya, kama na mberede,
e mere ka oke egwu tụọ ha, nke mere ka ha gbara ọsọ gaa zoo onwe ha. 8 Ọ bụkwa
naanị m nọ, mgbe m hụrụ oke ọhụ a. Mgbe m hụkwara ya, ike niile dị m n’ahụ si
m n’ahụ pụọ. Ihu m gbanwere nke ukwuu, ike afọdụkwaghị m n’ahụ. 9 Mgbe ahụ,
anụrụ m ụda olu ya, ma mgbe m nụrụ ụda olu ya, adara m n’ala kpudo ihu n’ala
n’ọnọdụ ịda n’oke ụra.
10 Ma otu aka metụrụ m, welite m mee ka m maa jijiji n’elu ikpere m na aka m
abụọ. 11 Ọ sịrị m, “Daniel, gị onye a hụrụ n’anya nke ukwuu. Gee ntị tuleekwa nke
ọma okwu niile m na-agwa gị ugbu a. Guzo n’ụkwụ gị abụọ, n’ihi na e zitere m
ịbịakwute gị.” Mgbe ọ na-agwa m okwu a, eguzooro m ọtọ, na-ama jijiji.

[*] **9:24** 9:24 Onye nsọ ahụ nke kachasị ndị nsọ mmanụ [†] **9:27** 9:27 Maọbụ, na nkera

12 Ọ sịrị m, “Egwu atụla gị, Daniel. N’ihi na site n’ụbọchị mbụ i kpebiri inwe nghọta
na iweda onwe gị ala n’ihu Chineke gị, ka a nụrụ okwu gị niile, a bịakwara m n’ihi
ọsịsa ha. 13 Ma onyeisi ndị na-achị alaeze Peshịa gbochiri m, kemgbe iri ụbọchị abụọ
na otu. Ya mere, Maikel, otu n’ime ndịisi ọchịchị bịara nyere m aka, n’ihi na mụ
onwe m fọdụrụ n’ebe ahụ mụ na eze Peshịa. 14 Ugbu a, abịala m ime ka ị ghọta ihe
ga-adakwasị ndị gị n’oge ikpeazụ n’ụbọchị dị n’ihu. N’ihi na ọhụ ndị a dịrị oge ndị
na-abịa n’ihu.”
15 Mgbe ọ na-agwa m okwu ndị a, ekpunyere m ihu m n’ala enwekwaghị m ike
ikwu okwu ọbụla. 16 Mgbe ahụ, otu onye, nke yiri mmadụ, bịara metụ egbugbere
ọnụ m aka, mee ka m nwee ike ikwukwa okwu ọzọ. Mgbe ahụ agwara m onye ahụ
nke guzo m n’ihu, “Anọ m n’oke ihe mgbu; Onyenwe m, enwekwaghị m ike ọbụla,
n’ihi ọhụ m hụrụ. 17 Olee otu mụ bụ ohu gị ga-esi gwa gị okwu, Onyenwe m? N’ihi
na ike adịghịkwa n’ime m, enwekwaghị m ike iku ume.”
18 Mgbe ahụ, otu onye yiri mmadụ bịara metụkwa m aka ọzọ nye m ike. 19 Ọ sịrị,
“Onye a hụrụ n’anya nke ukwu, atụkwala ụjọ, udo dịrị gị, ya mere dịrị ike, obi sie gị
ike.”
Mgbe ọ gwara m okwu a, ike m lọghachitere, asịrị m, “Ka onyenwe m kwuo okwu,
ebe i nyeghachila m ike.”
20 Mgbe ahụ, ọ sịrị, “Ị maara ihe mere m ji bịakwute gị? Aga m alaghachi azụ ịlụso
onyeisi na-achị alaeze Peshịa ọgụ, mgbe mụ ga-apụ, eze na-achị Griis ga-abịa; 21 ma
otu ọ dị, aga m agwa gị ihe e dere n’akwụkwọ nke eziokwu. (Ọ dịghị onye na-enyere
m aka imegide ha ma ọ bụghị naanị Maikel onyeisi unu.

# 11

1 N’afọ mbụ nke ọchịchị Daraiọs onye Midia, ọ bụ m guzoro inyere ya aka na
ichekwa ya.)

*Ndị eze alaeze nke ugwu na ndịda*

2 “Ugbu a, aga m agwa gị eziokwu. A ga-enwe ndị eze Peshịa atọ ọzọ ndị ga-achịkwa.
A ga-enwe eze nke anọ onye ga-aba ụba karịa ndị ọzọ niile. Mgbe ọ ga-adị ike site
akụnụba ya, ọ ga-akpalị onye ọbụla imegide eze Griis. 3 Ma mgbe ahụ, a ga-enwe eze
dị ike nke ga-eji oke ike chịa. Ọ ga na-eme ihe masịrị ya. 4 Ma mgbe ọ rịgotachara
n’ọchịchị, a ga-ekposa alaeze ya kesaa ya n’akụkụ anọ nke ụwa ma ọ bụghị ụmụ ya
ga na-achị. Ọ bụghịkwa n’usoro dịka ike ọchịchị ya si dị, n’ihi na a ga-ehopu alaeze
ya, nyefee ya n’aka ndị ọzọ na-abụghị ndị agbụrụ ya.
5 “Eze nke ndịda ga-adị ike, ma otu onye n’ime ndịisi agha ya ga-adị ike karịa ya,
chịakwa alaeze dị ukwu karịa nke ya 6 Mgbe afọ ole na ole gasịrị, ha ga-ekekọta onwe
ha. Ada eze ndịda ga-agakwuru eze ugwu ka ha gbaa ndụ, ma ada eze agaghị ejigide
ike ya, eze na ike ya agaghị adịgidekwa. N’ụbọchị ndị ahụ, a ga-arara ada eze ahụ
nye, ya na ndị na-eche ya nche, na nna* ya na onye ahụ dịnyeere ya.
7 “N’oge ahụ, otu onye ga-esi n’agbụrụ ụlọ nwanyị ahụ kulite i were ọnọdụ ya ịchị
dịka eze, ọ ga-ebuso ndị agha eze mpaghara ugwu agha, bata n’ebe ya e wusiri ike,
ọ ga-alụso ha agha ghọọ onye mmeri. 8 Ọ ga-ebukọrọ chi ha niile na arụsị ha niile
awụrụ awụ ma ndị atụrụ atụ, na ihe ndị ọzọ dịkarịsịrị ha mkpa dịka efere, ọlaọcha
na nke ọlaedo laa Ijipt. O mechaa nke a, ọ ga-akwụsị ịlụso eze ugwu ọgụ afọ ole na
ole. 9 Otu a kwa, eze mpaghara ugwu ga-ebuso eze ndịda agha, ma ọ gaghị anọ ọdụ
lọghachikwa n’ala nke ya. 10 Ma ụmụ ya ndị ikom ga-achịkọta ọtụtụ ndị agha siri
ike, ndị ga-enupu dịka oke idee mmiri, buru agha ruo n’ebe ya e wusiri ike.
11 “Mgbe ahụ, eze ndịda, onye iwe ga-eju obi, ga-achịkọtakwa ndị agha nke ya
buso eze ugwu agha, onye nke ga-achịkọta ọtụtụ ndị agha, ma ndị a ka ndị iro ya

* **11:6** 11:6 Akwụkwọ ochie na-ede nwa

ga-alụgbu. [12] Ma mgbe o merichara ndị agha ahụ, ọ ga-enwe ọṅụ dị ukwu, ọ ga-
egbukwa imerime puku ndị mmadụ, ma ọ gaghị emeri na-aga n'ihu. [13] Mgbe afọ ole
na ole gafere, eze ndị mpaghara ugwu ga-eduru ndị agha ji ezi ngwa agha, na ndị
bara ụba n'ọnụọgụgụ karịa ndị nke e meriri n'agha na mbụ pụọ ibu agha.

[14] "N'oge ahụ, ọtụtụ ndị ga-ebili imegide eze ndịda, Ụfọdụ ndị ọkpa aghara n'etiti
unu ga-enupukwa isi, ha ga-esi otu a mezuo ihe a ị hụrụ n'ọhụ, ma a ga-emeri ha.
[15] Mgbe ahụ, eze ndị mpaghara ugwu ga-abịa buo agha megide obodo ndị ndịda e
wusiri ike, lụgbukwaa ya. Ndị agha agaghị enwe ike iguzogide ha ọ bụladị ndị ha bụ
ọka ibe n'agha. [16] Ma onye nke na-ebuso ya agha ga-eme ihe masịrị ya, ma o nweghị
onye ga-egbochi ha. Ọ ga-abatakwa n'Ala Ọma ahụ, ebe ihe niile ga-anọ n'okpuru
ya. [17] Ọ ga-ekpebi ịbịa n'ike nke alaeze ya niile, iji mee nke a, ya na eze nke ndịda
ga-agba ndụ. Ọ ga-enyekwa ya nwaagbọghọ† iji kwatuo alaeze ya, ma ebumnobi ya
agaghị eguzo maọbụ baara ya uru. [18] Mgbe ọ mesịrị nke a, ọ ga-eche ihu ya n'obodo
ndị ahụ niile dị n'ọnụ osimiri. Ọ ga-emerikwa ọtụtụ n'ime ha. Ma otu ọchịagha
ga-alụso ya ọgụ, mee ka o jiri ọsọ gbaghachi n'ihere. [19] Ọ ga-echigharị azụ chee ihu
ya ebe niile e wusiri ike nke ala nke ya, ọ ga-asọ ngọngọ daa, a gaghị ahụkwa ya ọzọ.

[20] "Otu onye ga-abịa nọchie ọnọdụ ya, ọ ga-ezipụ onye ga-ekegbu ndị mmadụ n'ụtụ
iji mee ka otuto nke alaeze ahụ daa, ma n'ime ụbọchị ole na ole, a ga-egbu ya, ma ọ
gaghị abụ n'agha maọbụ n'ihu mmadụ.

[21] "N'ọnọdụ ya, otu onye ọjọọ e ledara anya ga-ebilite, onye na-ekwesighị iwere
nsọpụrụ nke ya bụ ọchịchị. Ọ ga-abata n'ike n'alaeze ahụ mgbe ndị ya nọ n'udo,
ọ ga-eji nwayọọ ma were ire ụtọ na aghụghọ nweta alaeze ahụ. [22] Mgbe ahụ, ọ
ga-achụsasị igwe ndị agha niile, bibiekwa ha na onye ọchịchị nke ọgbụgba ndụ.
[23] Mgbe ọ banyesịrị n'ọgbụgba ndụ, ọ ga-eji aghụghọ na-eme mpu, ọ ga na-esiwanye
ike n'agbanyeghị n'ọnụọgụgụ ndị mmadụ dị ole na ole. [24] Ọ ga-abanye n'akụkụ ala
ahụ niile a maara ndị bara ụba bi, mee n'ebe ahụ ihe ndị buru ya ụzọ na-emebeghị. Ọ
ga-ekesara ndị mmadụ akụnụba na ihe nkwata ndị ọzọ ọ lụtara n'agha. Ọ ga-atụpụta
aro iji lụso obodo siri ike ọgụ, ma nke ahụ ga-adị nwa mgbe nta.

[25] "Mgbe ahụ, ọ ga-emesi onwe ya obi ike, chịkọtaa ọtụtụ ndị agha ibuso eze ndịda
agha. Eze ndịda ga-achịkọtakwa ndị agha dị ọtụtụ dịkwa ike lụso ya ọgọ ma ọ gaghị
enwe ike guzogide ya n'ihi izuzu nzuzo a gbara megide ya. [26] N'ihi na ndị na-eri
ihe ọma eze ga-etipịa ya. A ga-achụsa ndị agha ya, ma gbukwaa ọtụtụ n'ọgbọ agha.
[27] Ndị eze abụọ a, ndị obi ha jupụtara n'ihe ọjọọ ga-anọkọta n'otu tebul na-agwarịta
ibe ha okwu ụgha, ma nzukọ ha agaghị enwe isi, n'ihi ọgwụgwụ ahụ ga-adị mgbe a
kara aka ruru. [28] Ọ ga-eji akụnụba dị ukwuu laghachi n'obodo nke ya ma obi ya ga-
adị imegide ọgbụgba ndụ nsọ ahụ. Ọ ga-ebili imegide ya ma mesịa laghachi n'obodo
nke aka ya.

[29] "Ma mgbe oge ahụ a kara aka ruru, ọ ga-achịrịkwa ndị agha ya laghachi na ndịda,
ma ihe agaghị adị otu ọ dị na mbụ. [30] Ụgbọ mmiri ndị si obodo Kitim ga-abịa imegide
ya, ọ ga-ada mba n'ihi egwu, ọ ga-alaghachi azụ were oke iwe megide ọgbụgba ndụ
ahụ dị nsọ. Ọ ga-alọghachi gosi ndị hapụrụ ọgbụgba ndụ ahụ dị nsọ nkwado.

[31] "Ndị agha ya ga-ebili imerụ ebe ahụ e wusiri ike nke ụlọnsọ ukwu ahụ, kwụsịkwa
aja nsure ọkụ nke a na-achụ kwa ụbọchị. Ha ga-ewuli ihe arụ nke na-eweta mbibi.
[32] Ọ ga-eji ire ụtọ merụọ ndị ahụ mebiri iwu nke ọgbụgba ndụ. Ma ndị ahụ maara
Chineke ha ga-adị ike guzogide ya.

[33] "Ndị niile nwere uche ga-ezi ọtụtụ mmadụ ihe, ma na nwa oge nta, ụfọdụ ga-
anwụ site na mma agha, ụfọdụ ka a ga-akpọ ọkụ, ụfọdụ ka a ga-adọta n'agha, ụfọdụ
kwa ka a ga-apụnara ihe ha nwere. [34] Mgbe ha ga-ada, inyeaka ntakịrị ga-abịara ha,
ọtụtụ ndị mmadụ ga-ejikwa ụzọ aghụghọ bịa dịnyere ha. [35] N'oge ahụ, ụfọdụ n'ime

† **11:17** 11:17 Site n'ọlụlụ di na nwunye

ndị maara ihe ga-asọ ngọngọ, ka ha nwe ike bụrụ ndị a nụchara anụcha, na ndị a
sachapụrụ ọcha na ndị emere ka ha dị ọcha na-enweghị ntụpọ tutu ruo n’ọgwụgwụ
ihe ndị a, n’ihi n’oge ahụ ga-abịa mgbe akara aka.

### *Eze nke na-ebuli onwe ya elu*

36 “Eze ahụ ga-eme ihe ọbụla ọ chọrọ. Ọ ga-agụkwa onwe ya dịka onye dị ukwuu
karịa chi niile. N’ezie, ọ ga-ekwu okwu nkwulu megide Chineke kachasị chi niile.
Ma ihe ga-agakwara ya nke ọma tutu mgbe oge ya zuru. N’ihi na ihe niile ekwuru
ga-emezucha. 37 Ọ gaghị akpọ chi nke nna ha maọbụ nke ahụ ụmụ nwanyị na-achọsi
ike ihe ọbụla, o nweghị chi ọbụla ọ ga-akpọ ihe n’ihi na ọ ga-ebuli onwe ya elu karịa
ha niile. 38 Kama chi nke ọ ga-asọpụrụ bụ chi nke ebe e wusiri ike, chi nke nna ya
ha na-amaghị. Ọ ga-eji ọlaedo na ọlaọcha, na nkume dị oke ọnụahịa na onyinye
dara oke ọnụahịa fee chi a. 39 Ọ ga-emegide ebe niile e wusiri ike, nke siri ike site
n’inyeaka chi nke mba ọzọ. Ndị niile nabatara ya ka ọ ga-eme ka nsọpụrụ bara ụba.
Ọ ga-eme ha ndị ọchịchị ọtụtụ mmadụ, kenyekwa ha ala dịka ụgwọ ọrụ ha.
40 “Ma n’oge ikpeazụ, eze ndịda ga-ebuso ya agha, ma eze nke ugwu ga-eji iwe
chịkọta ndị agha na-agba ụgbọ agha, ndị na-agba ịnyịnya na ndị agha ji ụgbọ mmiri
megide ya. Ọ ga-ebuso ọtụtụ mba agha, kpochapụ ha dịka idee mmiri si ekpochapụ
ihe. 41 Ọ ga-abata na Ala Ọma ahụ, gbukwaa iri puku mmadụ kwuru iri puku mmadụ,
ma obodo Edọm, obodo Moab na ndị ndu nke Amọn ga-agbapụ site n’ike ya. 42 Ọ ga-
aga ibuso ọtụtụ obodo agha, Ijipt agaghị agbanarị ya. 43 Ọ ga-enwe ikike n’ebe akụ
nke ọlaọcha na ọlaedo na ụba niile nke ala Ijipt. Ndị Libịa na ndị Kush‡ ga-edokwa
onwe ha n’okpuru ya. 44 Ma n’oge a kwa, ozi ga-esi n’ọwụwa anyanwụ na n’ugwu
bịa, nke ga-emenye ya egwu. N’ihi ya, ọ ga-eji oke iwe pụọ ibibi ọtụtụ ndị ma laakwa
ha n’iyi. 45 Ọ ga-akwụba ụlọeze ya n’etiti ugwu ọma ahụ dị nsọ na n’oke osimiri,
n’agbanyeghị ihe ndị a niile, ọ ga-abịaru ọgwụgwụ ya, ọ dịghịkwa onye ga-enyere
ya aka.

# 12

### *Ọgwụgwụ oge*

1 “N’oge ahụ, Maikel, onyeisi ọchịchị ukwuu ahụ, nke na-eche ndị unu, ga-ebili.
Ọ ga-abụ oge nhụju anya, a na-ahụtụbeghị ụdị ya site na mgbe mba ọbụla malitere
ruo ugbu a. Ma mgbe ahụ, ndị gị niile, ndị e dere aha ha n’akwụkwọ ahụ, ka a ga-
anapụta. 2 Igwe ndị niile nwụrụ anwụ, ndị e likwara, ha ga-ebilite. Ụfọdụ ha ga-ebili
baa na ndụ ebighị ebi, ma ụfọdụ ga-ebili keta ihere na ịbụ ọnụ nke ebighị ebi. 3 Ndị
ahụ bụ ndị maara ihe, ka a ga-eme ka ha nwuo ọcha dịka ihe mbara eluigwe. Ndị ahụ
niile na-emekwa ka ọtụtụ si n’ihe ọjọọ mee ezi omume ga-enwukwa dịka kpakpando
ruo mgbe ebighị ebi. 4 Ma gị bụ Daniel, zoo okwu e dere n’akwụkwọ a, mechiekwa
ma kachiekwa ha akara tutu ruo ọgwụgwụ oge. Ọtụtụ ga-agbagharị ebe na ebe ọzọ,
ma ihe ọmụma ga-aba ụba.”

5 Mgbe ahụ, mụ bụ Daniel weliri anya hụ mmadụ abụọ ndị ọzọ ka ha nọ n’akụkụ
osimiri ahụ, otu n’akụkụ nke a, otu n’akụkụ nke ọzọ. 6 Otu n’ime ha juru nwoke ahụ
yi uwe akwa ọcha, nke guzo n’akụkụ elu elu nke osimiri ahụ ajụjụ, sị, “Olee mgbe
ihe ndị a na-eyi egwu ga-emezu?”
7 Nwoke ahụ yi uwe akwa ọcha, nke nọ n’akụkụ elu elu mmiri nke osimiri ahụ
chịliri aka nri na aka ekpe ya elu. Anụkwara m mgbe o ji Onye ahụ na-adị ndụ ruo
mgbe niile ebighị ebi ṅụọ iyi, “N’ihe ndị a ga-emezu naanị mgbe afọ atọ na ọkara

‡ **11:43** 11:43 Ya bụ, ndị Itiopia

gafere, tupu onye ahụ na-emebi ike nke ndị dị nsọ ga-abịa n’isi ngwụcha ndụ ya, ihe ndị a niile ga-emezucha.”
8 Anụrụ m ma aghọtaghị m, n’ihi nke a, a sịrị m, “Biko, Onyenwe m, gịnị ka ihe ndị a ga-apụta?”
9 Ọ sịrị, “Daniel, gawara onwe gị. N’ihi na-apịachiela okwu ndị a, kachiekwa ya
akara tutu ruo n’ọgwụgwụ oge. 10 Ọtụtụ ka a ga-eme ka ha dị ọcha, sachaa ha mee
ka ha dị ọcha na-enweghị ntụpọ, a ga-anụchakwa ha. Ma ndị ajọ omume ga-aga n’ihu n’ajọ omume ha. O nweghị onye ajọ omume nke ga-aghọtakwa ihe, ma ndị ahụ maara ihe ga-aghọta ihe ihe a pụtara.
11 “Site n’oge e mechiri ịchụ aja nsure ọkụ nke a na-achụ kwa ụbọchị niile ruo n’oge a ga-ewuli ihe arụ ahụ nke na-eweta mbibi, ga-abụ otu puku ụbọchị, na narị
ụbọchị abụọ na iri ụbọchị itoolu. (1,290) 12 Ngọzị ga-adịrị onye ahụ nke na-echere,
ma nọgidesịkwa ike ruo mgbe otu puku ụbọchị, na narị ụbọchị atọ, na iri ụbọchị atọ na ise (1,335) ahụ gafere.
13 “Ma gị onwe, gawara onwe gị ruo ọgwụgwụ ihe ndị a. Ị ga-ezukwa ike, ị ga-ebilitekwa n’oge ikpeazụ ịnara ihe nketa nke ruuru gị.”

# Hosiya

1 Okwu Onyenwe anyị nke bịakwutere Hosiya nwa Beiri n’oge Uzaya, na Jotam, na
Ehaz, na Hezekaya, bụ ndị eze Juda, na n’oge Jeroboam nwa Jehoash bụ eze n’Izrel.

*Nwunye Hosiya na ụmụ ya*

2 Na mmalite okwu Onyenwe anyị site n’ọnụ Hosiya, Onyenwe anyị gwara Hosiya
sị, “Gaa lụtara onwe gị nwanyị na-akwa iko na ụmụ amụtara n’ịkwa iko, n’ihi na
dịka nwanyị alụrụ alụ n’akwa iko, ala a na-akwa iko nke ukwu site n’ịgbahapụ
Onyenwe anyị.” 3 Ya mere, ọ gara lụọ Goma nwa Diblaim, onye tụụrụ ime mụọra ya
nwa nwoke.
4 Onyenwe anyị gwara ya, “Aha ị ga-agụ nwantakịrị ahụ bụ Jezril. N’ihi na tupu
nwa oge nta agafee, aga m ata ezinaụlọ Jehu ahụhụ n’ihi ọbara ọ wụsiri na Jezril.
Aga m eme ka alaeze nke ụlọ Izrel kwụsị. 5 N’ụbọchị ahụ, aga m agbaji ụta Izrel na
Ndagwurugwu Jezril.”
6 Emesịa, Goma tụụrụ ime ọzọ, mụta nwa nwanyị. Ọ gwara ya, “Aha ị ga-agụ ya bụ
Lo-Ruhama,* n’ihi na agaghị m enwekwa obi ebere ọzọ n’ahụ ụlọ Izrel, ịgbaghara
ha mmehie ha. 7 Ma aga m enwe obi ebere n’ahụ ụlọ Juda. Mụ onwe m ga-azọpụta
ha site na Onyenwe anyị bụ Chineke ha. Agaghị m eji ngwa agha ọbụla, dịka ụta
maọbụ mma agha maọbụ ike ibu agha maọbụ ịnyịnya maọbụ ndị na-agba ịnyịnya
zọpụta ha.”
8 Mgbe ọ jụrụ Lo-Ruhama ara, ọ tụụrụ ime ọzọ, mụọ nwa nwoke. 9 Onyenwe anyị
sịrị, “Kpọọ aha ya Lo-ammi,† nke pụtara unu abụghị ndị m, n’ihi na unu abụghị ndị
nke m, mụ onwe m abụkwaghị Chineke unu.
10 “Ma ọnụọgụgụ ụmụ Izrel ga-adị ka aja dị n’ọnụ oke osimiri nke a na-apụghị
ịgụta ọnụ maọbụ tụọ n’ihe ọtụtụ. N’ebe ahụ a nọ sị ha, ‘Unu abụghị ndị m,’ n’ebe
ahụ ka a ga-anọ sịkwa ha, ‘Ụmụ Chineke dị ndụ ka unu bụ.’ 11 A ga-achịkọtakwa
ndị Juda na ndị Izrel ọnụ. Ha ga-ahọpụtakwara onwe ha otu onyeisi, si n’ala ahụ
rigopụta, n’ihi ihe ukwu ka ụbọchị Jezril ga-abụ.

## 2

1 “Gwa ụmụnne gị ndị nwoke Ami, ‘nke pụtara ndị m,’ gwakwa ụmụnne gị nwanyị
Ruhama, nke pụtara, ‘Unu ndị m hụrụ n’anya.’

*Ntaramahụhụ na nlọta*

2 “Unu guzogidenụ nne unu, rịọọnụ ya,
n’ihi na ọ bụghị nwunye m,
mụ onwe m abụkwaghị di ya.
Gwanụ ya ka o wezuga ịkwa iko site n’ihu ya,
ya wezugakwa ịgba akwụna nke dị n’etiti ara ya abụọ.
3 Ma ọ bụghị otu a, aga m eyipụ ya uwe ya mee ka ọ gbara ọtọ,
aga m eme ka o gbara ọtọ dị ka n’ụbọchị ahụ a mụrụ ya.
Aga m eme ya ka ọ dị ka ọzara,
ka ọ ghọọ n’ala kpọrọ nkụ,
were akpịrị ịkpọ nkụ mee ka ọ nwụọ.
4 Agaghị m egosi ụmụ ya ebere m,
n’ihi na ha bụ ụmụ a kwatara n’iko.

---

* **1:6** 1:6 Nke a pụtara onye a na-ahụghị n’anya maọbụ, obi ebere adịghịkwa † **1:9** 1:9 Nke pụtara, ọ bụghị ndị nke m

5 N'ihi na nne ha bụ onye na-akwa iko,
ọ tụrụ ime ha n'ọnọdụ ihere.
Site n'ikwu sị, 'Aghaghị m ịgbakwuru ndị enyi nwoke hụrụ m n'anya,
ndị na-enye m nri na mmiri,
ajị anụ m na akwa ọcha m, mmanụ oliv m na ihe ọṅụṅụ m.'
6 N'ihi nke a, aga m eji ogwu na uke gbachie ya gburugburu;
aga m agbachi ụzọ ya, mee ya ka ọ ghara ịma ebe ọ na-eje.
7 Ọ ga-agbaso ndị ahụ hụrụ ya n'anya ma ọ gaghị achụkwute ha.
Ọ ga-achọ ha ma ọ gaghị ahụ ha.
Mgbe ahụ, ọ ga-asị,
'Ka m gaa laghachikwuru di mbụ m,
n'ihi na ọ dịrị m mma mgbe ahụ karịa ugbu a.'
8 Ma ọ kwetaghị na ihe ndị a si n'aka m,
na ọ bụ mụ nyere ya ọka, na mmanya ọhụrụ, na mmanụ oliv,
na ọlaọcha, na ọlaedo ndị ahụ niile
nke o ji na-efe Baal.

9 "Ya mere, aga m ewerekwa ọka m mgbe ọ chara,
na mmanya ọhụrụ m mgbe oge ya ruru.
Aga m anapụkwa ya akwa ajị anụ m na akwa ọcha m,
nke ekwesiri iji kpuchie ọtọ ya.
10 Ugbu a, aga m ekpughe ọtọ ya
n'ihu ndị ahụ na-ahụ ya n'anya,*
ọ dịkwaghị onye nwere ike ịnapụta ya site n'aka m.
11 Aga m eme ka obi ụtọ ya kwụsị;
ọ bụladị mmemme nke afọ niile, mmemme ọnwa ọhụrụ,
nke ụbọchị izuike na mmemme ndị ọzọ ahụ niile a kara aka.
12 Aga m ala ubi vaịnị ya na osisi fiig ya niile n'iyi,
nke ọ sịrị bụ ụgwọ ọrụ ya site n'aka ndị hụrụ ya n'anya;
aga m emekwa ka ha ghọọ oke ọhịa,
anụ ọhịa ga-eripịa ha.
13 Aga m enye ya ahụhụ maka ụbọchị niile
bụ nke o surere ihe na-esi isi ụtọ nye chi Baal niile,
ọ chịrị mgbaaka mkpịsịaka na ihe ịchọ mma niile, jikere onwe ya,
pụọ chụso ndị ahụ hụrụ ya n'anya,
ma chezọọ m," Otu a ka Onyenwe anyị kwubiri ya.

14 "N'ihi nke a, aga m arara ya,
duba ya n'ime ọzara,
jiri olu dị nro gwa ya okwu n'ebe ahụ.
15 Ebe ahụ ka m ga-enyeghachi ya ubi vaịnị ya,
gbanweekwa Ndagwurugwu Akọ, mee ka ọ ghọọ ọnụ ụzọ olileanya.
Mgbe ahụ, ọ ga-azakwa m dịka o mere mgbe ọ bụ agbọghọbịa,
n'oge ahụ o si n'ala Ijipt pụta.

16 "N'ụbọchị ahụ," otu a ka Onyenwe anyị kwubiri,
"Ị ga-akpọ m 'Di m,'
ị gaghị akpọkwa m 'nna m ukwu,' ọzọ.†
17 N'ihi na aga m ewepụkwa aha niile nke arụsị Baal n'egbugbere ọnụ ya,

* **2:10** 2:10 Ndị ya na ha na-akwa iko † **2:16** 2:16 Maọbụ, Baal n'asụsụ Hibru

ha gaghị akpọkwa ha aha ọzọ.
18 N'ụbọchị ahụ, aga m eme ka gị na ụmụ anụ ọhịa gbaa ndụ,
meekwa ka gị na ụmụ nnụnụ,
na ihe niile e kere eke n'akpụgharị n'ala gbaa ndụ.
Aga m emebi ngwa agha niile,
agha niile ga-akwụsịkwa.
Mgbe ahụ, a ga-eme ka ị dịnaa ala n'udo na-enweghị nsogbu, na ụjọ.
19 Aga m ekwerekwa ịlụ gị dịka nwunye ruo ebighị ebi;
aga m ekwerekwa ịlụ gị n'ezi omume na ikpe ziri ezi,
n'ịhụnanya nke na-adịgide, nakwa obi ebere.
20 Aga m eji ikwesi ntụkwasị obi kwere ịlụ gị.
Ị ga-amatakwa Onyenwe anyị.

21 "N'ụbọchị ahụ m ga-azaghachi,"
otu a ka Onyenwe anyị kwubiri ya.
"M ga-azaghachi eluigwe,
ha ga-azaghachi ala.
22 Ala ga-azaghachi ọka
na mmanya ọhụrụ na mmanụ oliv,
mgbe ahụ ha ga-azaghachi Jezril.
23 Aga m akụkwa ya nye onwe m n'ala ahụ dịka mkpụrụ.
Aga m egosi ịhụnanya m n'ahụ onye ahụ m kpọrọ, 'Onye m na-ahụghị n'anya.'‡
M ga-asịkwa ndị ahụ a kpọrọ, 'Ndị na-abụghị ndị m,§' 'Unu bụ ndị nke m,'
Ha ga-azakwa, 'Chineke m ka ị bụ.' "

# 3

*Hosiya na nwunye ya adịrịkwa na mma*

1 Onyenwe anyị gwara m ọzọ, "Gakwuru nwanyị a na-akwa iko, nke na-emekwa
enyi na-ezighị ezi, gosi ya ịhụnanya gị dịka Onyenwe anyị si hụ ndị Izrel n'anya,
n'agbanyeghị na ha na-eso chi ndị ọzọ na-enwekwa mmasị dị ukwuu n'achịcha nsọ
e ji mkpụrụ osisi a mịkpọrọ amịkpọ mee."
2 N'ihi ya, eweere m ego ọlaọcha dị iri na ise, na otu ntụju ọka homa, na ọka balị
zụta ya. 3 Mgbe ahụ agwara m ya, "Mụ na gị ga-ebi ọtụtụ ụbọchị, ị gaghị agbakwa
akwụna, maọbụ nwee nwoke ọbụla gị na ya ga-enwe mmekọ, otu a ka m ga-emekwa
n'ebe ị nọ."
4 Nke a na-egosi na Izrel ga-anọ ogologo mgbe na-enweghị eze maọbụ onye ọchịchị.
Ọ gaghị enwe ịchụ aja maọbụ nkume nsọ maọbụ efọọd maọbụ arụsị ezinaụlọ. 5 Mgbe
nke a gasịrị, Izrel ga-alọghachi, chọọ Onyenwe anyị bụ Chineke ha, na Devid bụ eze
ha. Ha ga-ewere ịma jijiji bịakwute Onyenwe anyị, bịaghachitekwa ngọzị ya n'oge
ikpeazụ a.

# 4

*Okwu Onyenwe anyị megide Izrel*

1 Nụrụnụ okwu Onyenwe anyị unu ndị Izrel,
n'ihi na Onyenwe anyị nwere ebubo*
megide unu ndị bi n'ala a.
"N'ihi na ọ dịghị ikwesi ntụkwasị obi, ọ dịghị ịhụnanya,

‡ **2:23** 2:23 Enwekwa obi ebere n'ahụ Lo-Ruhama, § **2:23** 2:23 Ya bụ, Lo-ammi, * **4:1** 4:1 Maọbụ, Onyenwe anyị akpọọla unu ikpe

ọ dịghịkwa ihe ọmụma banyere Chineke n'ala a niile.†
2 Ọ bụ naanị ịbụ ọnụ,‡ ịgha ụgha na igbu mmadụ,
izu ohi na ịkwa iko.
Ọgbaaghara dị n'ebe niile,
ya na ogbugbu mmadụ na-esepụghị aka.
3 Nke a mere ala jiri nọrọ n'iru ụjụ,
ndị niile nọ na ya na-atakwa ahụ,§
ma anụ ọhịa, ma nnụnụ nke igwe,
ọ bụladị azụ dị n'osimiri ka a na-ekpochapụ.

4 "Ma otu ọ dị, ka onye ọbụla ghara ise okwu,
ka onye ọbụla ghara ibo ibe ya ebubo.
N'ihi na ndị gị dịka
ndị na-eseso onye nchụaja okwu.
5 Ị na-asọ ngọngọ ehihie na abalị,
ndị amụma na-esokwa gị sụọ ngọngọ.
N'ihi ya aga m ala nne gị n'iyi
6 ndị m ka a na-ala n'iyi n'ihi na ha amaghị ihe.

"Ebe ọ bụ na ị jụrụ ihe ọmụma,
aga m ajụkwa gị dị ka onye nchụaja m;
ebe ọ bụ na ị gbakụtara iwu Chineke gị azụ
mụ onwe m ga-agbakụtakwa ụmụ gị azụ.
7 Ka ha* na-abawanye n'ọnụọgụgụ,
otu a ka ha si na-aga n'ihu na-emehie megide m,
ha gbanwere Chineke ha dị ebube n'ihi ihe na-eweta ihere.†
8 Ha na-eriju afọ site na mmehie ndị m.
Ha ji anya ukwu na-achọ ka ha na-emehie na-aga n'ihu.
9 Ọ ga-abụkwa ka ndị nchụaja dị, otu a ka ndị obodo dịkwa.
N'ihi ya, aga m enye ha ntaramahụhụ
ma kwụghachi ha ụgwọ n'ihi omume ha niile.

10 "Ha ga na-eri ihe ma afọ agaghị eju ha.
Ha ga-ebi ndụ akwụna ma ha agaghị amụba,
n'ihi na ha ajụla ONYENWE ANYỊ,
were onwe ha nyefee 11 n'aka ịgba akwụna,
na mmanya ochie na mmanya ọhụrụ,
nke na-ewepụ mmụọ nghọta.
12 Ndị nke m na-ajụ osisi apịrị apị ase ihe ha ga-eme,
na-anata ọsịsa site na mkpara osisi onye ọ na-ajụ ase.
Mmụọ nke ịgba akwụna na-eme ka ha kpafuo;
ha gbara akwụna ma hapụ Chineke ha.
13 Ha na-achụ aja n'elu ugwu niile,
na-esure onyinye nsure ọkụ n'elu ugwu nta niile,
na n'okpuru osisi ook, osisi pọpla na osisi terebint,
ebe ndo ya dị ezi mma.
N'ihi nke a ka ụmụ unu ndị inyom na-agba akwụna,

---

† **4:1** 4:1 Ịma ihe banyere Chineke adịghị n'uche unu ‡ **4:2** 4:2 Maọbụ, ịṅụ iyi § **4:3** 4:3 Maọbụ, na-anwụkwa anwụ * **4:7** 4:7 Ya bụ, ndị nchụaja † **4:7** 4:7 Akwụkwọ Masori na-ede, nsọpụrụ ha ka m gbanwere ka ọ ghọọ ihere

ndị nwunye ụmụ unu na-akwa iko.

14 “Agaghị m ata ụmụ unu ndị inyom ahụhụ,
mgbe ha na-agba akwụna,
maọbụ taa ndị nwunye ụmụ nwoke unu ahụhụ
mgbe ha na-akwa iko,
n’ihi na ndị ikom unu n’onwe ha na-ejekwuru ndị akwụna,
ha na ndị akwụna ụlọ arụsị na-achụkọkwa aja,
ma ndị a na-enweghị nghọta ga-ala n’iyi.

15 “Ọ bụ ezie na unu bụ ndị na-akwa iko unu bụ Izrel,
ma ka ikpe gharakwa ịma Juda.

“Unu agakwala Gilgal,
unu agakwala ruo Bet-Aven,
unu aṅụkwala iyi sị, ‘Dịka ONYENWE ANYỊ na-adị ndụ.’
16 Ndị Izrel dị isiike
dịka nwaagbọghọ ehi dị isiike.
ONYENWE ANYỊ ọ ga-esi aṅaa zụọ ha
dịka ụmụ atụrụ n’ebe ịta nri sara mbara?
17 Ifrem na arụsị agbaala ndụ
hapụ ya ka ọ nọọrọ onwe ya.
18 Ọ bụladị mgbe mmanya ha gwụrụ,
ha na-aga n’ihu na-agba akwụna;
ha hụrụ ihere n’anya nke ukwuu karịa otuto ha.
19 Ifufe ga-ebupụ ha,
aja ha na-achụ ga-ewetara ha ihere.

# 5

*Ikpe ọmụma megide Izrel*

1 “Nụrụnụ nke a, unu ndị nchụaja!
Geenụ ntị, unu ụlọ Izrel!
Geenụ ntị, unu ndị ezinaụlọ eze.
N’ihi na ọ bụ unu ka ikpe ahụ gbasara.
N’ihi na unu abụrụla ihe ị maa n’ọnya na Mizpa,
na ụgbụ agbasara n’elu Taboa.
2 Ndị nnupu isi ahụ abamiela ime n’igbu mmadụ,
aga m ata ha niile ahụhụ.
3 Amaara m ihe niile gbasara Ifrem,
ọ dịkwaghị ihe zoro ezo banyere Izrel n’ebe m nọ.
Gị Ifrem, ugbu a ị gbawala akwụna;
gị Izrel, emerụọkwala gị.

4 “Omume ha agaghị ekwe
ka ha laghachikwute Chineke ha,
n’ihi na mmụọ nke ịkwa iko ewerela ute biri n’ime ha,
ha amaghịkwa ONYENWE ANYỊ.
5 Mpako niile nke Izrel na-agba ama megide ha,
Ọ bụladị Izrel na Ifrem na-asọ ngọngọ n’ime mmehie ha,
Juda, n’onwe ya, soo ha na-asọ ngọngọ.

6 Mgbe ha ga-eji igwe ewu na atụrụ ha na igwe ehi ha,
gaa ịchọ ONYENWE ANYỊ,
ha agaghị achọta ya.
N'ihi na o sitela n'ebe ha nọ wezuga onwe ya.
7 Ha bụ ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi nye ONYENWE ANYỊ.
Ha mụrụ ụmụ a kwatara n'iko.
Ugbu a, mmemme ọnwa ọhụrụ ha
ga-eripịa ha na ala ubi ha.

8 "Fụọ opi ike na Gibea,
fụkwaa mpi anụ na Rema.
Tie mkpu agha na Bet-Aven.
Lee anya n'azụ gị, Benjamin.
9 A ga-ebibi Ifrem kpamkpam
n'ụbọchị ahụ m ga-ata ha ahụhụ.*
N'etiti ebo nke Izrel niile,
ka m na-ekwusa ka amara na ọ bụ okwu kwesiri ntụkwasị obi.†
10 Ndị ndu Juda adịla ka ndị ahụ
na-ewezuga oke ala,
aga m awụkwasị ha iwe m
dịka uju mmiri ozuzo.
11 Ifrem bụ onye a na-emegbu emegbu,
onye e ji ike na-azọpịa,
n'ihi na ọ kpacha anya na-achụso ihe efu.
12 Adị m ka nla nye Ifrem,
dịkwa ka ihe na-eweta ire ure dịịrị ndị Juda.

13 "Mgbe Ifrem hụrụ ụdị ọrịa ọ na-arịa,
Juda ahụkwa ọnya dị ya n'ahụ,
mgbe ahụ Ifrem gakwuru ndị Asịrịa,
ma zigakwara eze ukwu ahụ ozi.
Ma ọ pụghị ịgwọ gị,
maọbụ gwọọ ọnya gị niile.
14 N'ihi na-aga m adị ka ọdụm nye Ifrem
dịkwa ka nwa ọdụm nye Juda.
Aga m adọkasị anụ ahụ ha ma hapụ ha pụọ.
Aga m ebupụ ha pụọ, na-enweghị onye ga-abịa ịzọpụta ha.
15 Aga m alaghachi azụ n'ọnọdụ m,
ruo mgbe ha kweere na ikpe mara ha,
ma chọọ ihu m;
n'ọnọdụ mmekpa ahụ ha,
ha ga-achọsi m ike."

# 6

*Nnọgide na nnupu isi Izrel*

1 "Bịanụ ka anyị laghachikwuru ONYENWE ANYỊ.
Ya onwe ya adọkaala anyị,
ọ ga-agwọkwa anyị;
o tipụla anyị ọnya,

* **5:9** 5:9 Maọbụ, n'ụbọchị ntaramahụhụ † **5:9** 5:9 Ya bụ, okwu n'aghaghị imezu

ma ọ ga ekechikwa ọnya anyị.
2 Ọ ga-eme ka anyị dịkwa ndụ ọzọ mgbe ụbọchị abụọ gasịrị.
N'ụbọchị nke atọ, ọ ga-eme ka anyị bilie guzokwa n'ụkwụ anyị,
meekwa ka anyị dịrị ndụ n'ihu ya.
3 Ka anyị mara ONYENWE ANYỊ;
ka anyị gbalịsie ike ịmata ya.
Ọ bụladị dịka anyanwụ na-awalite,
n'ezie, ọ ga-apụta ìhè dịka chi ọbụbọ,
ọ ga-abịakwute anyị dịka mmiri ozuzo,
dịka mmiri na-ezosa ala n'oge udu mmiri."

4 "Gịnị ka m ga-eji gị mee, O Ifrem?
Gịnị ka m ga-eji gị mee, O Juda?
Ịhụnanya gị dịka igwe ojii nke ụtụtụ,
dịka igirigi na-anọ naanị nwa mgbe nta.
5 Nke mere m ji si n'ọnụ ndị amụma gbukasịa ha.
Ejirila m okwu ọnụ m gbuo ha,
ikpe ọmụma m na-achawapụta dịka ìhè.
6 N'ihi na ana m achọ ebere, ọ bụghị aja,
ịmata Chineke kama aja nsure ọkụ niile.
7 Ma dịka Adam, ha emebiela ọgbụgba ndụ m;
n'ebe ahụ ka ha nọ gosi ekwesighị ntụkwasị obi ha.
8 Gilead bụ obodo nke ndị na-eme ajọ ihe,
nke eji nzọ ụkwụ ọbara zọtọsịa.
9 Dịka ndị na-apụnara mmadụ ihe na-ezo na-eche onye ga-agafe,
otu a ka ndị nchụaja
si egbu ndị mmadụ n'ụzọ Shekem,
leenụ oke ajọ omume ihere dị otu a.
10 N'ezie, ahụla m ihe jọgburu onwe ya n'ime Izrel.
N'ebe ahụ ka Ifrem nọ na-agba akwụna,
emerụọkwala Izrel.

11 "Ma nye gị onwe gị, Juda,
owuwe ihe ubi nọ na-eche gị.

"Mgbe ọbụla m ga-eweghachi akụnụba ndị m,

# 7

1 mgbe m chọrọ ịgwọ Izrel,
mmehie Ifrem na-apụta ihe,
a na-ekpughekwa arụ a na-eme na Sameria.
Ha na-aghọ aghụghọ,
ndị ohi na-akụwakwa ụlọ ndị mmadụ,
ndị na-apụnara mmadụ ihe nọ n'okporoụzọ.
2 Ọ dịghị onye bi n'ime ha maara
na m na-echeta mmehie ha niile.
Ugbu a, mmehie ha agbaala ha gburugburu.
Ana m ahụkwa ha niile.

3 "Eze ha na-aṅụrị ọṅụ n'ihe ọjọọ ha;
ụmụ eze na-achị ọchị n'ihi ụgha ha.

4 Ha niile bụ ndị na-akwa iko;
ha dị ka ite ọkụ ighe achịcha e mere ka ọ dị ọkụ,
nke onye na-eghe achịcha na-adịghị akwanye nkụ,
site na mgbe e bidoro ịgwakọ ụtụ ọka ahụ tutu ruo mgbe o koliri.
5 N'ụbọchị mmemme nke eze anyị,
ụmụ eze bụ ndị akpaliịrị site na-ịṅụbiga mmanya oke,
ya na ndị na-akwa emo jikọtara aka.
6 Obi ha na-enwu ọkụ dịka ihe ighe achịcha,
ha ji izu nzuzo na-abịakwute ya.
N'abalị niile iwe ha na-ere nwayọọ ka ọkụ na-anyụ anyụ,
n'ụtụtụ ihe ha gbatara n'izu na-enwu dịka ọkụ.
7 Ha niile dị ọkụ dịka ite ighe achịcha dị ọkụ.
Ha na-eripịa ndị eze ha.
Ndị eze ha niile na-ada,
ma o nweghị onye n'ime ha na-akpọku m.

8 "Ifrem na-agwakọta onwe ya n'etiti ndị mba ọzọ.
Ifrem dịkwa ka mbadamba achịcha a na-atụgharịghị atụgharị.
9 Ndị mba ọzọ na-eripịa ike ha,
ma ha adịghị aghọta ya.
Isi awọ apụtala ha n'isi,
ma ya onwe ya amaghị na o si otu a dịrị.
10 Ịnya isi Izrel na-agba akaebe megide ya
ma n'agbanyeghị ihe ndị a
ọ naghị alọghachikwute ONYENWE ANYỊ bụ Chineke ya,
maọbụ chọọ ya.

11 "Ifrem dịka nduru
nke na-enweghị uche, nke onye ọbụla na-eduhie,
ugbu a, ọ na-akpọku Ijipt,
ma na-agbakwurukwa Asịrịa.
12 Ma mgbe ha na-agbagharị, aga m ewere ụgbụ m jide ha,
dọda ha n'ala dịka nnụnụ e jidere na mbara eluigwe.
Aga m enye ha ahụhụ
n'ihi njehie ha niile.
13 Ahụhụ na-adịrị ha,
n'ihi na ha ajụla m.
Ha na-ala n'iyi
n'ihi na ha enupula isi ha megide m.
Achọrọ m ka m gbapụta ha,
ma ha na-agha ụgha megide m.
14 Ha ejighịkwa obi ha akpọku m,
kama ha na-atụrụ onwe ha n'elu ihe ndina ha, na-eti mkpu akwa.
Mgbe ha na-arịọ arịrịọ maka mkpụrụ ubi na mmanya,
ha na-egbukasị onwe ha ahụ,
na-ewezugakwa onwe ha site n'ebe m nọ.
15 Enyerela m ha aka, mee ka ha dị ike,
ma ha atụgharịala gbaa izu imegide m.
16 Ha adịghị ele anya enyemaka n'aka Onye kachasị ihe niile elu.
Ha dịka ụta rọgọrọ arọgọ, nke àkụ ya na-adịghị agbata ihe ọbụla.

Ndị ndu ha ga-ada site na mma agha,
n'ihi okwu ọjọọ si ha n'ọnụ na-apụta.
N'ihi nke a, a ga-eji ha mee ihe ọchị
n'ala Ijipt.

# 8

*Ụgwọ ọrụ mmehie*

1 "Tinye opi ike n'ọnụ gị!
N'ihi na ugo n'efefe n'elu ụlọ ONYENWE ANYỊ,
n'ihi na ha emebiela ọgbụgba ndụ m,
nupu isi megide iwu m.
2 Ugbu a ndị Izrel na-etiku m mkpu akwa,
'Chineke anyị, anyị bụ Izrel maara gị.'
3 Ma Izrel ajụla ihe dị mma.
Ugbu a, ndị iro ga-achụ ya ọsọ.
4 Ha meere onwe ha ndị eze, ma ha ajụtaghị m ase;
ha na-achọrọkwa ndị ọchịchị,* ma ghara ịjụta ase n'aka m.
Ọlaọcha na ọlaedo ha
ka ha ji na-akpụrụ onwe ha arụsị,
nke ha ji ebibi onwe ha.
5 Ajụla m arụsị nwa ehi a ị kpụrụ, O Sameria.
N'ihi na ọnụma m na-ere ọkụ megide ha.
Ruo olee mgbe ka ha ga-anọ bụrụ ndị na-enweghị ike ịdị ọcha?
6 Ọ bụ n'Izrel ka ha si.
Ọ bụ onye na-akpụ ụzụ kpụrụ ya;
ọ bụghị Chineke.
A ga-akụrisikwa
nwa ehi Sameria ahụ.

7 "Ha akụọla ifufe,
ha ga-aghọtakwa oke ifufe.
Osisi ọka ha na-eguzo
na-enweghị okpo ọka ọbụla.
A sịkwarị na ọ mịrị mkpụrụ,
ndị mba ọzọ ga-atapịa ya.
8 Elodala Izrel!
Lee, ha nọ ugbu a n'etiti ndị mba ọzọ
dịka mkpọkọrọ ite.
9 N'ihi na ha ejeela Asịrịa
dịka ịnyịnya ibu ọhịa na-awagharị naanị ya.
Ifrem ewerela onwe ya resi ndị enyi ya.
10 Ọ bụ ezie na ha ewerela onwe ha resi ọtụtụ mba dị iche iche,
aga m achịkọta ha.
Ha ga-atakwa ahụ
n'ihi ọnọdụ mmegbu nke eze na ndịisi ga-achị ha.

11 "N'ihi na Ifrem ewuola ọtụtụ ebe nchụaja maka ịchụ aja mmehie,
ebe nchụaja ndị a abụrụla ebe a na-eme mmehie.
12 E depụtaara m ha ọtụtụ ihe banyere iwu m,

* **8:4** 8:4 Ya bụ, ụmụ eze

ma ha were ya dịka ihe e si na mba ọzọ webata.
13 Ha na-achụ aja dịka onyinye nye m,
ha na-erikwa anụ ndị ahụ ha jiri chụọ aja,
ma na ONYENWE ANYỊ enweghị mmasị n'ebe aja ha dị.
Ugbu a, ọ ga-echeta ajọ omume ha,
nye ha ntaramahụhụ n'ihi mmehie niile ha,
ha ga-alaghachi n'Ijipt.
14 Izrel echezọọla Onye kere ha
ma wukwaa obi ndị eze dị iche iche.
Juda ewukwaala obodo dị iche iche e wusiri ike.
N'ihi ya, aga m ezite ọkụ n'obodo ha niile,
ọkụ ga-erepịa obodo ha niile e wusiri ike."

# 9

### *Ntaramahụhụ dịrị Izrel*

1 Aṅụrịla ọṅụ, gị Izrel,
ka obi ghara ịtọkwa gị ụtọ dịka ọ na-atọ ndị mba ọzọ,
n'ihi na ị jụla Chineke gị, bido ịgba akwụna
i hụrụ ụgwọ ọrụ ịkwa iko n'anya
n'elu ebe ịzọcha ọka niile.
2 Ebe ịzọcha mkpụrụ ọka na ebe ịzọcha mkpụrụ vaịnị agaghị azụ ha nri,
mmanya ọhụrụ ga-agharịpụ ha.
3 Ha agaghị anọgidekwa n'ala ONYENWE ANYỊ,
ma Ifrem ga-alaghachi n'ala Ijipt
nọdụ n'Asịrịa rie nri rụrụ arụ.
4 Ha agaghị awụsa ihe ọṅụṅụ dịka aja nye ONYENWE ANYỊ,
n'ihi na ọdịghị aja ha ga-achụ ga-atọ ya ụtọ.
Aja ndị a ga-adị ha ka nri nke ndị na-eru ụjụ si dị.
Onye ọbụla riri nri ndị a ga-abụ onye na-adịghị ọcha.
Nri ndị a ga-adịrị naanị ha onwe ha,
ha agaghị ewebata ya n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ.

5 Gịnị ọzọ ka unu ga-eme n'ụbọchị mmemme unu ndị ahụ a kara aka,
ma n'ụbọchị mmemme nke ONYENWE ANYỊ?
6 A sịkwa na ha agbanarị mbibi,
ndị Ijipt ga-achịkọta ha.
Ndị Memfis ga-elikwa ha.
Akụnụba nke ọlaọcha ha ka uke ga-ewekọrọ,
ogwu na uke ga-etokwa n'ime ebe obibi ha niile,
7 Ụbọchị niile nke ntaramahụhụ* na-abịa,
Ụbọchị ngụkọta ihe abịala nso.
Ka Izrel mara nke a.
N'ihi na ịba ụba nke mmehie unu adịla ukwuu,
n'ihi na ịkpọ asị unu akarịala,
unu na-agụ onye amụma dịka onye nzuzu,
na-agụkwa onye nwee Mmụọ nke Chineke dịka onye na-ayị ara.
8 Ma onye amụma bụ onye nche Chineke,
na-eche Ifrem nche,
ma igbudu nke ọnya jupụtara n'ụzọ ya niile,

* **9:7** 9:7 Maọbụ, nleta

ịkpọ asị dịkwa n’ime n’ụlọnsọ Chineke ya.
9 Ha emerụọla onwe ha ebe ọ dị ukwuu,
dịka ọ dị n’ụbọchị Gibea.
Ọ ga-echeta njehie ha.
Ọ ga-enye ha ntaramahụhụ n’ihi mmehie ha niile.

10 “Mgbe m chọtara Izrel,
ọ dị ka m chọtara mkpụrụ grepu n’ọzara;
mgbe m hụrụ nna nna unu ha,
ọ dị ka ihu mkpụrụ bụ ụzọ chaa n’elu osisi fiig.
Ma mgbe ha bịaruru na Baal-Peoa,
ha doro onwe ha nsọ nyefee n’aka arụsị ahụ na-eweta ihere,
si otu a ghọọ ndị rụrụ arụ, dịka ihe ndị ahụ ha hụrụ n’anya si bụrụ ihe rụrụ arụ.
11 Nsọpụrụ Ifrem nwere ga-efefu dị ka nnụnụ,
n’ihi na ọmụmụ nwa agaghị adị, a gaghị atụkwa ime, agaghị adịkwa ime.
12 A sịkwa na ha azụlite ụmụ ha,
aghaghị m ime ka ha nwụọ.
Ahụhụ ga-adịrị ha,
mgbe m si n’ebe ha nọ wezuga onwe m.
13 Ahụla m na Ifrem yiri Taịa,
bụ ihe akụnyere n’ala mara mma.
Ma Ifrem ga-eji aka ya
kpọpụta ụmụ ya nye ndị ga-egbu ha.”

14 Biko, ONYENWE ANYỊ nye ha.
Gịnị ka i kwesiri inye ha?
Nye ha akpanwa nke nwa na-adịghị anọgide n’ime ya,
na ara nke mmiri ara na-adịghị.

15 “Ihe ọjọọ ha niile bidoro na Gilgal,
akpọrọ m ha asị n’ebe ahụ.
N’ihi omume mmehie ha niile,
aghaghị m isite n’ụlọ m chụpụ ha.
Agaghị m ahụkwa ha n’anya ọzọ,
ndị ndu ha niile bụ ndị nnupu isi.
16 Etigbuola Ifrem,
mgbọrọgwụ ha akpọnwụọla,
ha agaghị amịkwa mkpụrụ.
A sịkwarị na ha amụọ ụmụ,
aga m egbu ụmụ ha niile, ndị ha hụrụ n’anya.”

17 Chineke m ga-ajụ ha,
n’ihi na ha adịghị ege ya ntị maọbụ rube isi.
Ha ga-aghọ ndị na-awagharị awagharị na-enweghị ụlọ, n’etiti mba niile.

# 10

1 Izrel bụ osisi vaịnị dị mma,
nke na-amịta mkpụrụ nke ukwuu.
Dịka mkpụrụ ya na-aba ụba,
otu a ka o si amụba ebe ịchụ aja ya.

Dịka ala ya na-abawanyekwa ụba
otu a ka o si edoziri onwe ya nkume dị nsọ.
2 Obi ha dị aghụghọ,
ma ugbu a, ha ga-ata ahụhụ maka ikpe ọmụma ha.
Onyenwe anyị ga-akwatu ebe nchụaja ha,
ma mebikwaa ogidi nkume nsọ ha niile.

3 Ma ugbu a, ha ga-asị,
"Anyị enweghị eze,
n'ihi na anyị anaghị atụ ONYENWE ANYỊ egwu,
ma olee ihe eze nwere ike ị mere anyị?"
4 Ha na-ekwu okwu na-abaghị uru,
were ịṅụ iyi
na-agbakwa ndụ,
ya mere ikpe ikpe jiri jupụta n'ebe niile,
dịka ahịhịa ọjọọ n'ubi.
5 Ndị bi na Sameria ga-atụ ụjọ
n'ihi chi nke nwa ehi a kpụrụ akpụ dị na Bet-Aven.*
Ndị ya ga-eruru ya ụjụ,
otu a kwa ka ndị nchụaja ya
rụrụ arụ ga-esi ruoru ya ụjụ,
maka ebube nke a napụrụ ya.
6 Ha ga-eburu ha gaa Asịrịa,
dịka onyinye ịnata ihuọma a ga-enye eze ukwu ahụ.
A ga-emenye Ifrem ihere n'ihu,
Izrel ga-ekpudokwa ihu n'ala maka mmekọrịta ya na ndị mba ọzọ.
7 A ga-ala eze Sameria n'iyi
dịka irighiri osisi n'elu mmiri niile,
8 a ga-ebibicha ebe niile dị elu nke ihe ọjọọ, bụ Aven,†
ọ bụ ya bụ mmehie ndị Izrel,
ogwu na uke ga-etolitekwa,
n'ebe nchụaja ha.
Mgbe ahụ ha ga-asị, ugwu ukwu niile, "Kpuchite anyị!"
Sịkwa ugwu nta niile, "Dakwasị anyị!"

9 "Site n'ụbọchị nke Gibea, gị Izrel nọ na mmehie,
i nwebeghị ike site na mmehie ndị a wezuga onwe gị.
Ọ bụ na agha agaghị eri ha
bụ ndị na-eme ajọọ omume na Gibea?
10 Aga m abịa buso ndị mmehie a agha, nye ya ahụhụ;
mba ndị ọzọ ga-ebilite megide ha,
taa ha ahụhụ n'ihi ajọ omume abụọ ha.
11 Ifrem bụ nne ehi a zụrụ azụ
nke hụrụ ịzọcha ọka n'anya,
n'ihi ya, M ga-ekonye ịyagba n'olu
n'olu ọma ya ahụ.
Aga m agba Ifrem dịka ịnyịnya,
Juda aghaghị ịkọ ala ubi

* **10:5** 10:5 Bet-Aven pụtara ụlọ ihe ajọ aha ịkwa emo Betel; Betel nke pụtara ụlọ Chineke † **10:8** 10:8 Aven, na-ekwu banyere Bet-Aven aha ịkwa emo na-akpọ Betel

Jekọb ga-akọze ala nye onwe ya.
12 Ya mere, ghaanụ mkpụrụ ezi omume maka onwe unu,
unu ga-aghọtakwa mkpụrụ ịhụnanya.
Kọgharịakwanụ obi unu siri ike,
n’ihi na ugbu a bụ oge ịchọ ONYENWE ANYỊ,
tutu ruo mgbe ọ bịara
wụkwasị unu mmiri ozuzo dịka ezi omume.
13 Ma unu akụọla mkpụrụ ajọ omume;
unu aghọtakwala ihe ọjọọ dịka ihe ubi.
Unu eriela mkpụrụ osisi ụgha.
N’ihi na unu atụkwasịla obi unu n’ịdị ike nke onwe unu,
na n’ịdị ọtụtụ nke ndị bụ dike n’agha unu.
14 N’ihi ya, ụzụ nke ibu agha aghaghị ibili n’etiti unu,
ebe unu niile e wusiri ike ga-ada.
Ọ ga-ada dịka Shalman si bibie Bet Abel n’ụbọchị agha,
mgbe a tụpịara ndị bụ nne na ụmụ ha.
15 Ọ bụ ihe dị otu a ga-adakwasị gị, Betel,
n’ihi na ajọ omume gị dị ukwuu.
Mgbe chi ụbọchị ahụ bọrọ,
a ga-ala eze Izrel n’iyi kpamkpam.

# 11

*Ịhụnanya Chineke nye Izrel*

1 “Mgbe Izrel bụ nwantakịrị, ahụrụ m ya n’anya,
ọ bụkwa site n’Ijipt ka m kpọpụtara nwa m.
2 Ma dịka m na-akpọ ha,
otu a ka ha na-aga n’ebe dị anya site n’ebe m nọ.
Ha chụrụ Baal aja,
surekwa aja ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye arụsị dị iche iche.
3 Ọ bụ mụ onwe m kuziiri Ifrem otu e si aga ije,
ejidere m ha n’aka m abụọ,
ma ha amaghị
na ọ bụ mụ onwe m gwọrọ ya.
4 Eji m ụdọ nke mmadụ bụ ebere,
na ịhụnanya duo ya.
Adịrị m ha dịka onye n’ebuli
ibu arọ site n’olu ha,
ehulatakwara m ala, were aka m tinye ha nri n’ọnụ.

5 “Ọ bụ na ha agaghị alaghachi azụ n’Ijipt,
Asịrịa ọ gaghị abụ eze ha,
n’ihi na ha ajụla ịlọghachikwute m?
6 Mma agha ga-efegharị n’obodo ha niile,
ọ ga-eripịa ndị nchụaja na-agba afa,
ọ ga-eripịakwa nzube ọjọọ ha niile.
7 Ndị m ekpebiela n’obi ha ịhapụ m.
N’agbanyeghị na ha na-akpọ m Chineke nke kachasị ihe niile elu,
ma mụ onwe m agaghị ebuli ha elu n’ụzọ ọbụla.

8 “M ga-esi aṅaa rara gị nye, gị Ifrem?

M ga-esi aṅaa rara gị nye, gị Izrel?
M ga-esi aṅaa mee gị ka ịdị ka Adma?
M ga-esi aṅaa meso gị dịka Zeboiim?
Obi m na-akwasị akwa ike n'ime m;
ọ na-agụsị m agụụ ike inyere unu aka.
9 Agaghị m emezu iwe ọkụ m
maọbụ bibiekwa Ifrem ọzọ.
N'ihi na abụ m Chineke, abụghị m mmadụ.
Abụ m Onye Nsọ na-ebi n'etiti unu.
Agaghị m emegidekwa obodo ha.
10 N'ihi na ha ga-agbaso ONYENWE ANYỊ.
Ọ ga-agbọkwa ụja dịka ọdụm.
Mgbe ọ gbọrọ ụja,
ụmụ ya ga-eji ịma jijiji site n'akụkụ ọdịda anyanwụ bịakwute ya.
11 Dịka igwe nnụnụ
ka ha ga-ama jijiji bịa site n'Ijipt,
dịka nduru ka ha ga-efelata site n'Asịrịa.
Aga m eme ka ha biri n'ụlọ ha ọzọ,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

*Mmehie Izrel*

12 Ifrem e jirila okwu ụgha gbaa m gburugburu,
ezinaụlọ Izrel e jirila aghụghọ na-emeso m omume,
ma Juda nọsịrị ike n'ekweghị nchịkọta n'ebe Chineke nọ,
ọbụladị megide Onye Nsọ ahụ nke kwesiri ntụkwasị obi.

# 12

1 Akaọrụ Ifrem bụ naanị ịchụso ikuku,
ọ na-achụso ikuku si n'ọwụwa anyanwụ bido n'ụtụtụ ruo n'abalị.
Otu a ka ha si eme ka ịgha ụgha, na ime ihe ike na-abawanye ụba.
Ha na Asịrịa na-agbakwa ndụ,
ha na-ebugakwa mmanụ n'Ijipt.
2 ONYENWE ANYỊ na-akpọ Juda ikpe.
Ọ ga-ata Jekọb* ahụhụ dịka ụzọ ya si dị,
kwụghachikwa ya dịka omume ya si dị.
3 Mgbe ọ nọ n'afọ nne ya ka o jidere nwanne ya nwoke n'ikiri ụkwụ.
Mgbe ọ ghọrọ dimkpa, ya na Chineke gbara mgba.
4 E, ya na mmụọ ozi gbara mgba.
N'oge ahụ, o jidesiri ya aka ike, kwaa akwa, rịọọ ngọzị site n'aka ya.
Ọ hụrụ ya na Betel,
gwaakwa ya okwu,
5 ONYENWE ANYỊ Chineke onye pụrụ ime ihe niile,
ONYENWE ANYỊ bụ aha ya.
6 Ịghaghị ịlọghachikwute Chineke gị,
guzosie ike n'ịhụnanya na ikpe ziri ezi,
na-elekwa anya Chineke gị mgbe niile.

7 Onye ahịa na-eji ihe ọtụtụ aghụghọ na-erenye ndị mmadụ ahịa,
ọ hụrụ imegbu emegbu n'anya.

* **12:2** 12:2 Jekọb n'ebe a bụ akpalaokwu nke pụtara onye aghụghọ Maọbụ, onye na-aghọrị mmadụ

8 Ifrem kwuru,
“Abaala m ọgaranya! Abụrụla m onye nwere akụnụba dị ukwuu!
Ọ bụ ezie na m bụ onye nwere akụ dị ukwuu,
ma agaghị achọta njehie maọbụ mmehie ọbụla n’ime m.”

9 “Abụ m ONYENWE ANYỊ na Chineke gị,
onye si n’Ijipt kpọpụta unu.
Aga m emekwa ka ị biri n’ụlọ ikwu ọzọ,
dịka ọ dị n’oge mmemme ndị ahụ niile a kara aka.
10 A gwara m ndị amụma,
ọ bụ m mere ka ha hụ ọhụ dị iche iche,
sitekwa n’ọnụ ndị amụma tụọ ilu dị iche iche.”

11 Gilead ọ na-eme ajọ ihe?
Ndị ya bụ ndị efulefu.
Ha na-achụ aja oke ehi dị iche iche na Gilgal?
Ebe ịchụ aja ha niile ga a dịka ebe a chịkọtara ukwu nkume,
nke dị n’ubi a kọrọ akọ.
12 Jekọb gbalagara n’ala Aram;
Izrel fere ofufe n’ihi inweta nwunye,
n’ihi ịkwụ ụgwọ ya, o lekọtara atụrụ.
13 Ọ bụkwa onye amụma ka ONYENWE ANYỊ ji site n’Ijipt kpọpụta Izrel,
o sitekwara n’aka onye amụma lekọtazie ya anya.
14 Ma Ifrem akpasuola iwe ilu nke ukwuu.
Onyenwe ya ga-awụkwasịkwa ya ikpe ọmụma.
Ọ ga-akwụghachi ya dịka nlelị ya si dị.

# 13

*Iwe Chineke megide Izrel*

1 Na mbụ, mgbe ọbụla Ifrem kwuru okwu, a na-enwe ọma jijiji,
n’ihi na ọ bụ onye e buliri elu n’Izrel.
Ma ikpe maara ya n’ihi ofufe o fere Baal, ọ nwụkwara.
2 Ugbu a, ha na-aga n’ihu n’ime mmehie,
ha na-eji ọlaọcha na-akpụrụ onwe ha arụsị dị iche iche,
nke ha ji uche kpachara anya kpụzie nke ọma,
ha niile bụ akaọrụ ndị ǹka.
Ha onwe ha na-ekwu,
“Ha na-achụ aja ụmụ mmadụ.
Ha na-esusukwa nwa ehi a kpụrụ akpụ ọnụ”
3 N’ihi ya, ha ga-adị ka igirigi nke ụtụtụ,
maọbụ igirigi nke na-agbachapụ ngwangwa,
dịka igbugbo nke a fụchapụrụ n’ebe ịzọcha ọka,
dịka anwụrụ ọkụ nke si na oghereikuku na-ekupụ.

4 “Ma mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ na Chineke gị,
siterịị n’ala Ijipt.
Unu agaghị anabatara onwe unu Chineke ọzọ karịa m.
Ọ dịghị Onye nzọpụta ọzọ dị karịa m.
5 Elekọtara m unu n’ime ọzara,
n’ala ahụ kpọrọ nkụ, nke mmiri na-adịghị.

6 Mgbe m nyere ha nri, ha rijukwara afọ.
Mgbe afọ juru ha, ha bidoro ịkpa nganga,
chefuo m.
7 N’ihi ya, aghaghị m ịbịakwasị ha dịka ọdụm;
maọbụ dịka agụ nke na-ezo onwe ya n’akụkụ ụzọ.
8 Aga m adakwasị ha dịka anụ ọhịa bịa nke a gbabara aka ụmụ ya,
dọwasịa anụ ahụ kpuchiri obi ha
aga m eripịa ha dịka ọdụm,
anụ ọhịa ga-adọkasịkwa ha.

9 “Aga m ala gị n’iyi, gị Izrel,
onye pụrụ inyere gị aka?
10 Ebee ka ndị eze gị nọ, ka ha bịa zọpụta gị?
Ebee ka ndịisi ọchịchị nke obodo gị niile nọ,
bụ ndị ahụ i ji n’ihi ha na-asị,
‘Nye m eze na ndị ọchịchị’?
11 Esitere m n’iwe m nye gị eze,
sitekwa n’ọnụma m, napụ gị ya.
12 Njehie nke Ifrem ka e kechikọtara debe;
a na-edetukwa mmehie ya niile n’akwụkwọ.
13 Ihe mgbu nke dịka ihe mgbu nwanyị ime na-eme na-abịakwasị ya;
maọbụ nwantakịrị na-enweghị uche.
Mgbe oge ya zuru,
ọ jụrụ ịpụta site n’ọnụ akpanwa ka a mụpụta ya.

14 “Aga m anapụta ha site n’ike nke Ala mmụọ.
Aga m agbapụta ha site n’ọnwụ.
Gị ọnwụ, olee ebe ajọọ ọrịa gị niile na-efe efe dị?
Gị ala mmụọ, olee ebe ike ịla n’iyi gị dị?

“Agaghị m enwe ọmịiko ọbụla,
15 ọ bụ ezie na ya onwe ya bụ onye na-amị mkpụrụ n’etiti ụmụnne ya niile.
Ma oke ifufe si n’ọwụwa anyanwụ, nke Onyenwe anyị zitere,
ga-esi n’ọzara fekwasị ya.
Isi iyi niile ga-ata,
olulu mmiri ya ga-atakọrọkwa.
A ga-apụnara ya ihe dị n’ụlọakụ ya niile,
na akụ niile o nwere.
16 Sameria aghaghị ịta ahụhụ ikpe ọmụma ya,
n’ihi na o nupuru isi megide Chineke ha.
A ga-eji mma agha gbuo ndị ya niile,
tụpịa ụmụntakịrị ya niile n’ala,
jirikwa mma agha bọwaa ndị inyom niile dị ime.”

## 14

*Nchegharị na ngọzị*

1 Lọghachikwutenụ Onyenwe anyị Chineke unu, unu ndị Izrel;
n’ihi na ọ bụ mmehie unu wetaara unu ịsọ ngọngọ.
2 Chịrịnụ okwu n’ọnụ unu
lọghachikwute Onyenwe anyị.

Gwanụ ya sị,
“Gbaghara mmehie anyị niile,
jirikwa ihuọma nabata anyị,
ka anyị si otu a jiri egbugbere ọnụ anyị chụọrọ gị aja.
3 Ndị Asịrịa enweghị ike ịzọpụta anyị,
ọ bụghị n’elu ịnyịnya agha ka anyị ga-anọkwasị.
Anyị agaghị asịkwa ‘Chi anyị ka unu bụ’
nye ihe ndị ahụ anyị jiri aka anyị pịa,
n’ihi na n’ime gị, ka ndị na-enweghị nne na nna na-achọta obi ebere.”

4 “Aga m agwọ ndaghachi azụ ha,
jiri obi m niile hụ ha n’anya,
n’ihi na iwe m esitela n’ebe ha nọ chigharịa.
5 Aga m adịrị Izrel dịka igirigi.
Ọ ga-amakwa ifuru dịka okoko lili.
Dịka osisi sida nke Lebanọn,
mgbọrọgwụ ya ga-abami n’ime ala;
6 ome ya ga-awasa,
ịma mma ya ga-adịkwa ka osisi oliv,
isisi ọma ọ na-esi ga-adị ka isi osisi sida nke Lebanọn.
7 Ha ga-ebi n’okpuru ndo m.
Ha ga-etolite dịka osisi ọka dị ndụ.
Ha ga-ama ifuru dịka osisi ubi vaịnị,
a ga-amatakwa ha n’ebe niile dịka e si mara mmanya e mere na Lebanọn.
8 Gị Ifrem, gịnị ka mụ na arụsị nwekọrọ?
Mụ onwe m ga-aza ya, ma lekọtakwa ya.
Mụ onwe m dịkwa ka osisi junipa dị ndụ.
Ịmị mkpụrụ gị na-esitekwa n’ebe m nọ abịa.”

9 Onye bụ onye amamihe? Ha ga-aghọta ihe ndị a.
Onye bụ onye nwere uche nghọta? Ha ga-aghọta ihe ọ pụtara.
N’ihi na ụzọ ONYENWE ANYỊ bụ ezi ụzọ.
Ndị ezi omume na-ejekwa ije na ha,
ma ndị na-enupu isi na-asọ ngọngọ n’ime ha.

# Juel

1 Okwu ONYENWE ANYỊ nke bịakwutere Juel nwa Petuel.

*Mbibi nke igurube ga-eweta*
2 Nụrụnụ nke a, unu ndị okenye;
geenụ ntị, unu ndị niile bi n’ala a.
Ihe dị otu a o meela na ndụ unu,
ka o mere na ndụ nna nna unu ha?
3 Gwanụ ya ụmụ unu,
ka ụmụ unu gwakwa ụmụ ha, ka ụmụ ha gwakwa ụmụ ụmụ ha,
ka ụmụ ụmụ ha gwakwa ọgbọ nke na-eso ha.
4 Ihe igurube rifọrọ
ka igurube ukwu richara,
ihe igurube ukwu rifọrọ,
ka ụmụ igurube richara,
ihe ụmụ igurube rifọrọ
ka igurube ndị ọzọ richapụrụ.

5 Tetanụ, unu ndị na-aṅụbiga mmanya oke. Kwaanụ akwa.
Kwaanụ akwa unu ndị na-aṅụ mmanya;
kwaanụ akwa n’ihi mmanya ọhụrụ,
n’ihi na e sitela n’ọnụ unu napụ unu mmanya unu na-aṅụ.
6 O nwere mba bịakwasịrị ala m,
usuu ndị agha nke na-enweghị ịgụta ọnụ;
nke nwere eze dịka ọdụm,
nweekwa ikiri eze dịka ka nne ọdụm.
7 Ọ laala mkpụrụ vaịnị m n’iyi
mee ka osisi fiig m niile mebie kpamkpam.
O kpechapụsịala agbụgbọ osisi fiig m,
kpofuo ha,
hapụ alaka osisi ya ka ọ na-acha ọcha.

8 Kwaa akwa mwute dịka nwaagbọghọ na-amaghị nwoke,
nke di na-aga ịlụ ya nwụrụ.
9 Akwụsịla iwebata onyinye ọka na onyinye mmanya
n’ụlọ ONYENWE ANYỊ.
Ndị nchụaja na-eru ụjụ,
bụ ndị ahụ na-eje ozi n’ihu ONYENWE ANYỊ.
10 Emebiela ala ubi niile,
ala nọ na-eru ụjụ.
Ebibiela ọka niile,
mmanya adịghịkwa,
otu a kwa, mmanụ oliv adịghịkwa.

11 Daanụ mba n’obi unu, unu ndị ọrụ ubi,
tienụ mkpu akwa, unu ndị ọrụ ubi vaịnị.
Tienụ aka n’obi n’ihi ọka wiiti na ọka balị,

n’ihi na a laala owuwe ihe ubi n’iyi.
12 Osisi vaịnị anwụọla.
Osisi fiig akpọnwụọla.
Osisi pomegranet na osisi nkwụ, na osisi apụl akpọnwụọla.
N’ezie, osisi niile akpọnwụọla.
N’ebe ndị mmadụ nọ,
ọṅụ alala.

*Ọkpụkpọ oku maka nchegharị*

13 Yikwasịnụ onwe unu akwa mkpe, unu ndị nchụaja; ruonụ ụjụ,
kwaanụ akwa, unu ndị na-eje ozi n’ebe ịchụ aja.
Bịanụ, yiri akwa mkpe nọ ọnọdụ abalị
unu ndị na-ejere Chineke m ozi
n’ihi na egbochiela onyinye ọka na onyinye ihe ọṅụṅụ
ịbata n’ụlọ Chineke unu.
14 Kpọsaanụ obubu ọnụ dị nsọ.
Kpọọnụ nzukọta dị nsọ.
Chịkọtaanụ ndị okenye
na ndị niile bi n’ala a,
ka ha bịa n’ụlọnsọ Onyenwe anyị Chineke unu;
ka ha tikuo Onyenwe anyị mkpu akwa.

15 Ụbọchị dị oke egwu ka ụbọchị ahụ bụ!
N’ihi na ụbọchị Onyenwe anyị abịala nso.
Ọ ga-ewetakwa mbibi site n’aka Onye pụrụ ime ihe niile.

16 Ọ bụ na e sitebeghị n’ihu anyị
wezuga ihe oriri niile,
Ọ bụ na ọṅụ na obi ụtọ e sitebeghị
n’ụlọnsọ Chineke anyị pụọ?
17 Mkpụrụ ubi
akpọnwụọla n’ọkpụrụkpụ aja ala.
Ụlọ a na-edebe ihe oriri atọgbọrọla n’efu,
a kwatuola ọba niile,
n’ihi na mkpụrụ ọka niile akpọọla nku.
18 Lee otu anụ ụlọ niile si eze ume!
Igwe ehi na-awagharị
n’ihi na ha enweghị ebe ịta nri;
ọ bụladị igwe atụrụ nọkwa n’ọnọdụ ịta ahụhụ.

19 Gị Onyenwe anyị, ka m na-akpọku,
n’ihi na ọkụ erepịala ebe ịta nri nke ụmụ anụ ụlọ.
Ọkụ erechapụkwala osisi niile dị n’ọhịa.
20 Ọ bụladị ụmụ anụ ọhịa na-ebeku gị akwa,
n’ihi na iyi niile ataala,
ọkụ erechapụkwala ebe ịta nri nke anụmanụ niile nke dị n’ọzara.

# 2

*Igwe igurube*

1 Fụọ opi ịdọ aka na ntị na Zayọn.
Ka a nụ ụda opi ịdọ aka na ntị site n’elu ugwu nsọ m.

Ka ndị niile bi n'ala ahụ maa jijiji,
n'ihi na ụbọchị ikpe nke ONYENWE ANYỊ na-abịa,
ọ na-abịaru nso.
2 Ọ bụ ụbọchị ọchịchịrị na nke mgbarụ ihu.
Ọ bụ ụbọchị itiri ojii nke oke ọchịchịrị.
Usuu ndị agha dị ike nke ga-ekpuchi elu ugwu niile dịka chi ọbụbọ.
Ha hiri nne, nweekwa ike dị ukwuu.
Ahụbeghị ụdị dịka ha na mbụ,
a gaghị ahụkwa ụdị ha ọzọ ruo ọgbọ niile nke na-abịa.

3 Ọkụ na-ere na-aga ha n'ihu,
ire ọkụ na-enwu oke onwunwu dị ha n'azụ.
Tupu ha abịaruo, ala ahụ na-ama mma dịka ogige nke Iden,
ma n'azụ ha, ala ubi niile dịka ọzara nke tọgbọrọ n'efu,
o nweghị ihe ga-agbanarị ịla n'iyi ha.
4 N'ile anya, ha dịka ịnyịnya,
ha na-ekwogharị dịka ịnyịnya agha.
5 Ha ji ụzụ dịka ụzụ ụgbọala
na-arịgo elu ugwu.
Ụzụ ha dịkwa ka ụzụ ọkụ nke na-erepịa ahịhịa kpọrọ nkụ.
Ha dịkwa ka ụzụ nke usuu ndị agha dị ike, ndị na-aga ịlụ agha.

6 Egwu na-ejide ndị niile ha chere ihu.
Ihu ha na-agbarụkwa.
7 Ha na-ekwogharị dịka ndị agha;
ha na-arịgo mgbidi dịka ezi ndị agha.
Ha na-aga n'ahịrị n'ahịrị,
na-ahapụghị onye ọbụla n'ije ha.
8 Ọ dịghị onye na-anọchiri ibe ya ụzọ.
Onye ọbụla na-aga n'ihu n'ahịrị n'ahịrị.
Ọ dịghị ngwa agha ọbụla pụrụ ịkwụsị ha,
ka ha na-aga n'ahịrị n'ahịrị.
9 Ha na-enukwasị obodo,
na-agbagharị n'elu mgbidi,
na-arịgo, na-abakwa n'ime ụlọ;
na-abanye dịka ndị ohi site na oghereikuku niile.

10 Ala na-ama jijiji n'ihu ha,
eluigwe na-emekwa mkpọtụ.
Ihu anyanwụ na ihu ọnwa na-agbakwa ọchịchịrị,
kpakpando adịghịkwa enye ìhè.
11 Olu ONYENWE ANYỊ dara
n'ihu ndị agha,
ndị agha ya dị agụtaghị ọnụ,
ha dịkwa ọtụtụ bụ ndị na-edebe iwu ya.
Ụbọchị ikpe nke ONYENWE ANYỊ dị ukwu
bụrụkwa ihe dị egwu.
Onye pụrụ ịnagide ya?

### *Lọghachikwute m*

12 "Ọ bụladị ugbu a," otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya,

“Jirinụ obi unu niile lọghachikwute m.
Werekwanụ obubu ọnụ, na ịkwa akwa, na iru ụjụ, lọghachikwutenụ m.”

13 Dọwakwaanụ obi unu,
ọ bụghị uwe unu.
Lọghachikwutenụ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu,
n’ihi na ọ bụ onye na-eme amara, na onye obi ebere.
Ọ bụ onye na-adịghị ewe iwe ọsịịsọ. O jupụtara n’ịhụnanya.
Ọ naghị eme ọsịịsọ n’inye ntaramahụhụ.
14 Onye maara? Ma eleghị anya ọ ga-alọghachite azụ tụgharịa obi ya,
hapụrụ anyị ngọzị ya,
kwe ka eweta onyinye mkpụrụ ubi na onyinye ihe ọṅụṅụ
maka ONYENWE ANYỊ bụ, Chineke unu.

15 Fụọ opi ike n’ime Zayọn.
Kpọsaa obubu ọnụ dị nsọ.
Kpọkọta nzukọ dị nsọ.
16 Chịkọtaa onye ọbụla,
doo nzukọ ahụ nsọ,
ma ndị okenye,
ma ụmụntakịrị,
ma ụmụ na-aṅụ ara.
Kpọpụta nwoke lụrụ nwunye ọhụrụ site n’ụlọ ya,
ya na nwaagbọghọ lụrụ dị ọhụrụ site n’ebe nzuzo ya.
17 Ka ndị nchụaja, bụ ndị na-ejere ONYENWE ANYỊ ozi,
nọọ n’etiti ebe ịchụ aja, na mpụta ọnụ ụlọ kwaa akwa.
Ha kpeekwa ekpere sị, “Zọpụta ndị gị, ONYENWE ANYỊ.
Ekwela ka ihe nketa gị bụrụ ihe ịta ụta,
n’etiti mba dị iche iche.
Ekwela ka ha sị,
‘Olee ebe Chineke ha nọ?’ ”

### *Ọsịsa ONYENWE ANYỊ*

18 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ kworo ekworo n’ihi ala ya,
nwee ọmịiko n’ebe ndị ya nọ.
19 ONYENWE ANYỊ zaghachiri ha sị,
“Ana m ezitere unu ọka na mmanya ọhụrụ, na mmanụ,
nke ga-ezuru unu, jukwa unu afọ.
Agaghị m emekwa
ka unu bụrụ ihe ịkwa emo n’etiti ndị mba ọzọ.

20 “Aga m ewezuga ndị agha ahụ si n’ugwu, zipụ ha n’ebe tere anya,
m ga-achụba ha n’ala kpọrọ nkụ, na ebe tọgbọrọ n’efu.
Ndị nọ n’ihu ga-erugbu n’osimiri Nnu dị n’ọwụwa anyanwụ;
ndị nọ n’azụ ka m ga-erugbu n’osimiri Mediterenịa dị n’ọdịda anyanwụ.
Isisi ọjọọ ya ga-esipụta,
isisi nke ure ya ga-arịgokwa.”

N’ezie, ọ meela ihe ndị dị ukwuu dị iche iche.
21 Atụkwala egwu, gị ala Juda,
kama ṅụrịa ọṅụ, nweekwa obi ụtọ,
n’ezie, ONYENWE ANYỊ arụọla ọrụ dị ịtụnanya.

22 Atụla egwu, unu anụ ọhịa niile,
n'ihi na ebe ịta nri unu ga-ejupụtakwa n'ahịhịa ndụ.
Osisi na-amị mkpụrụ ha,
osisi fiig, na osisi vaịnị na-amịkwa mkpụrụ n'uju.
23 Ụmụ Zayọn, ka obi tọọ unu ụtọ,
ṅụrịanụ ọṅụ n'ime ịdị mma ONYENWE ANYỊ, bụ Chineke unu.
N'ihi na o nyela unu mmiri ozuzo mbụ nke ọkọchị,
n'ihi ịdị mma ya.
Ọ na-ezite ọtụtụ mmiri ozuzo,
nke ọkọchị, na nke udu mmiri, dịka ọ dị na mbụ.
24 Ebe ịzọcha ọka gị niile ga-ejupụtakwa na mkpụrụ ọka,
ebe ịnara mmanya gị niile ga-ejubiga oke na mmanya na mmanụ ọhụrụ.

25 "Aga m enyeghachi afọ niile nke igurube riri,
ndị ahụ nke igurube ukwu na igurube nta,
na ụkpana, na ndị mbibi ọzọ riri,
bụ usuu ndị agha ahụ m zitere n'etiti unu.
26 Unu ga-eri ka unu siri chọọ, rijuchaa afọ,
unu ga-etokwa ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu,
onye rụrụ ọrụ ebube ndị a n'ihi unu.
Ọ dịkwaghị mgbe ọzọ ihere ga-eme ndị m.
27 Mgbe ahụ unu ga-amata na m nọ n'ebe a n'etiti ndị m Izrel.
Unu ga-amatakwa na naanị m bụ ONYENWE ANYỊ bụ Chineke unu,
na ọ dịkwaghị onye ọzọ.
Ihere agaghị emekwa ndị m ọzọ.

### *Ụbọchị ONYENWE ANYỊ*

28 "Ma emesịa,
aga m awụkwasị mmadụ niile Mmụọ m.
Ụmụ unu ndị ikom, na ụmụ unu ndị inyom ga-ebu amụma.
Ndị okenye nwoke unu ga-arọ nrọ.
Ụmụ okorobịa unu ga-ahụkwa ọhụ.
29 N'ụbọchị ahụ, aga m awụsa mmụọ m
ọbụladị n'ahụ ndị ohu m ndị nwoke na ndị nwanyị.
30 Aga m egosi ihe ebube dị iche iche na mbara eluigwe,
na n'elu ụwa;
a ga-ahụ ọbara, na ire ọkụ, na ogidi anwụrụ ọkụ.
31 Anyanwụ ga-agbanwe ghọọ ọchịchịrị,
ọnwa ga-aghọkwa ọbara,
tupu ụbọchị ONYENWE ANYỊ abịa, bụ ụbọchị ahụ dị ukwu dịkwa oke egwu.
32 Ọ ga-erukwa na onye ọbụla nke na-akpọku aha ONYENWE ANYỊ
ka a ga-azọpụta.
N'ihi na ọ bụ n'elu ugwu Zayọn, na n'ime Jerusalem
ka mgbapụta ga-adị,
dịka ONYENWE ANYỊ kwuru ya.
Mgbapụta a ga-adịkwara ndị fọdụrụ ndụ,
bụ ndị ahụ ONYENWE ANYỊ na-akpọ.

## 3

### *Ikpe nke mba niile*

1 "N'ihi na, lee, n'ụbọchị ahụ, n'oge ahụ,

mgbe m ga-eweghachi akụnụba nke Juda na Jerusalem,
2 na m ga-achịkọta mba niile nke ụwa,
mee ka ha zukọọ na Ndagwurugwu Jehoshafat.*
N’ebe ahụ, ka mụ onwe m ga-ama ha ikpe,
n’ihi ihe ha mere ihe nketa m, na ndị nke m Izrel.
N’ihi na ha chụsasịrị ndị m n’etiti mba niile,
kee ala m n’etiti onwe ha.
3 Ha fere nza n’ihi ndị m,
were ụmụ m ndị nwoke gbanwere ụmụ akwụna.
Ha rere ụmụ m ndị nwanyị n’ihi mmanya, n’ihi inweta mmanya ha ga-aṅụ.
4 “Ọ bụ gịnị ka unu nwere megide m, unu Taịa na Saịdọn, na unu obodo ahụ niile
dị gburugburu ala ndị Filistia? O nwere ihe m mere nke unu na-akwụghachi m ụgwọ
ya? Ọ bụrụ n’ezie na unu na-akwụghachi m ụgwọ, mụ onwe m ga-eji ọsọ kwụghachi
unu ihe ọjọọ niile unu mere. 5 N’ihi na unu weere ọlaọcha m na ọlaedo m, burukwa
ihe dị oke ọnụahịa niile m nwere, bulaa ha n’ụlọnsọ chi† unu. 6 Unu refuru ndị Juda
na ndị Jerusalem, resi ha ndị Griik, si otu a wega ha n’ebe dị anya site n’ala ha.
7 “Lee, aga m esi n’ebe ahụ unu refuru ha kpọlite ha. Aga m emekwa ka ihe ndị
ahụ niile unu mere bịaghachi unu n’isi. 8 Aga m ewere ụmụ unu ndị nwoke na ndị
nwanyị resi ha ndị Juda, ndị ga-eresi ha ndị Sheba, bụ mba tere anya.” ONYENWE
ANYỊ ekwuola ya.
9 Kwupụtanụ nke a n’etiti mba niile:
Jikerenụ agha!
Kpọteenụ ndị dike n’agha.
Ka ndị agha niile a zụziri azụzi bịaruo nso ibu agha.
10 Kpụgharịanụ mma oge unu ka ha bụrụkwa mma agha,
kpụgharịakwanụ mma ịkwa osisi unu ka ha ghọọ ùbe.
Ka onye na-adịghị ike kwuo sị,
“Adị m ike!”
11 Chịkọta onwe unu ọsịịsọ, bịa, unu mba niile, nọ n’ebe niile.
Zukọtaanụ n’ebe ahụ.

Kpọdata ndị agha gị dị ike ONYENWE ANYỊ!

12 “Ka akpọlitekwa mba niile,
mee ka ha niile bịaruo na Ndagwurugwu Jehoshafat,
n’ihi na ọ bụ n’ebe ahụ
ka m ga-anọ kpee mba nọ n’akụkụ niile ikpe.
13 Tinye mma iwe ihe ubi,
n’ihi na mkpụrụ ubi achaala.
Bịa zọchaa mkpụrụ vaịnị,
n’ihi n’ebe ịzọcha mmanya ejula,
ebe ịnara mmanya gị niile ejubigakwala oke,
n’ihi na ajọ omume ha dị ukwuu.”

14 Ọtụtụ igwe mmadụ, ọtụtụ igwe mmadụ!
Ha jupụtara na ndagwurugwu mkpebi ikpe ahụ!
N’ihi na ụbọchị ONYENWE ANYỊ dị nso,
na ndagwurugwu mkpebi nhọrọ ahụ.
15 Anyanwụ na ọnwa ga-agbaji oji,

* **3:2** 3:2 Ihe aha a pụtara bụ, ONYENWE ANYỊ na-ekpe ikpe † **3:5** 3:5 Maọbụ, ụlọ ukwu unu

kpakpando agakwaghị enye ìhè.
16 ONYENWE ANYỊ ga-ebigbọ na Zayọn,
olu ya ga-ada n'ime Jerusalem.
Elu ụwa na mbara eluigwe ga-amakwa jijiji.
ONYENWE ANYỊ ga-abụrụ ndị ya ebe mgbaba.
Ọ ga-abụrụ ndị Izrel ebe e wusiri ike.

### *Ngọzị dịrị ndị nke Chineke*

17 "Mgbe ahụ, unu ga-amata na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke unu
bi na Zayọn, n'ugwu m dị nsọ.
Jerusalem ga-abụ ebe dị nsọ.
Ndị mba ọzọ agakwaghị esite n'ime ya gabiga ọzọ.

18 "N'ụbọchị ahụ, mmanya ọhụrụ ga-esi n'ugwu ukwu niile na-atapụtasị,
mmiri ara ehi ga na-erupụtakwa site n'ugwu nta niile;
mmiri ga na-asọkwa na ndagwurugwu niile nke Juda ebe mmiri si eru.
Isi iyi ga-esitekwa n'ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ sọpụta
dee Ndagwurugwu Shitim.
19 Ma Ijipt ga-atọgbọrọ n'efu,
Edọm ga-aghọkwa mkpọmkpọ ebe,
n'ihi ihe ike ha mere ndị Juda,
bụ ndị ha kwafuru ọbara ndị aka ha dị ọcha n'ala ha.
20 Ma Juda ga-abụ ebe mmadụ ga-ebi ruo mgbe ebighị ebi.
A ga-ebikwa na Jerusalem n'ọgbọ niile.
21 Aga m ahapụ ịbọ ọbọ ọbara ha?
Mba, agaghị m agụnye onye ikpe maara dịka onye ikpe na-amaghị.

N'ihi na ONYENWE ANYỊ bi na Zayọn."

# Emọs

1 Okwu ndị Emọs kwuru, onye bụ otu n'ime ndị ọzụzụ atụrụ nke obodo Tekoa. Ndị
a bụ ọhụ ọ hụrụ banyere Izrel. Ọ hụrụ ọhụ a mgbe Uzaya bụ eze ndị Juda. N'oge ahụ
kwa ka Jeroboam nwa Joash na-achị Izrel. Ọ hụrụ ọhụ a afọ abụọ tupu oke ala ọma
jijiji ahụ adịrị.

2 Ọ sịrị,
ONYENWE ANYỊ si n'ugwu Zayọn na-ebigbọ,
o si na Jerusalem na-eme ka olu ya daa ụda.
Ebe ịta nri nke ndị ọzụzụ atụrụ ga-eru ụjụ.
Elu ugwu Kamel ga-akpọnwụkwa.

*Ikpe ọmụma dịrị ndị agbataobi Izrel*

3 Otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu,
"N'ihi njehie atọ nke Damaskọs,
na n'ihi njehie ha nke ugboro anọ, agaghị m ahapụ inye ya ntaramahụhụ.
N'ihi na ha azọpịala ndị m n'ime Gilead,
ha ji igwe ịzọcha mkpụrụ ọka nwere eze.
4 N'ihi ya, aga m esunye ọkụ n'ụlọeze Hazael;
ọkụ a ga-erepịakwa ebe niile e wusiri ike nke Ben-Hadad.
5 Aga m etiji ibo ọnụ ụzọ ama Damaskọs,
aga m ekpochapụkwa ndị niile bi na Ndagwurugwu Aven,
na onye ahụ mkpara eze dị n'aka ya, nke nọ na Bet-Eden.
Ndị Aram ga-abụkwa ndị a dọtara n'agha, ndị a ga-adọkpụrụ gaa Kia."
Ka ONYENWE ANYỊ kwuru.
6 Otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu,
"N'ihi njehie atọ nke Gaza,
e, n'ihi njehie nke anọ, agaghị m ahapụ inye ya ntaramahụhụ,
n'ihi na ha dọtara mmadụ niile n'agha,
ranye n'aka ndị Edọm.
7 N'ihi ya, aga m esunye ọkụ na mgbidi niile nke Gaza,
ebe ya niile e wusiri ike ga-agba ọkụ.
8 Aga m egbu ndị Ashdọd,
ma bibiekwa onye ahụ na-achị Ashkelọn.
Aga eweli aka m megide ndị Ekrọn,
ruo mgbe ndị Filistia fọdụrụ ga-ala n'iyi."
Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ sịrị.
9 Otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu,
"N'ihi njehie atọ nke Taịa,
e, n'ihi nke anọ, agaghị m ahapụ inye ya ntaramahụhụ.
N'ihi na ha dọkpụrụ ọgbakọ ndị mmadụ renye n'aka Edọm dịka ohu,
ma chefuo ọgbụgba ndụ nwanne na nwanne dị n'etiti ha.
10 N'ihi nke a, aga m esunye ọkụ na mgbidi niile nke Taịa;
ọ ga-eredakwa ebe ha niile e wusiri ike."
11 ONYENWE ANYỊ na-ekwu,
"N'ihi njehie atọ nke Edọm,
e, n'ihi nke anọ, agaghị m ahapụ inye ya ntaramahụhụ.

N’ihi na o ji mma agha chụọ nwanne ya ọsọ,
o meghị ebere,
kama, o mere ka iwe ya dịgidesie ike;
nrubiga oke nke ọnụma ya akwụsịkwaghị akwụsị.
12 N’ihi ya, aga m esunye ọkụ na Teman;
ọ ga-erekwa n’ebe niile e wusiri ike nke Bozra.”
13 Ma otu a ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu,
“N’ihi njehie atọ nke Amọn,
e, n’ihi nke anọ, agaghị m ahapụ inye ya ntaramahụhụ,
n’ihi na ha were mma agha ha bọwaa afọ ụmụ nwanyị Gilead dị ime,
n’ihi ime ka oke ala ha saa mbara.
14 N’ihi nke a, aga m esunye ọkụ na mgbidi niile nke Raba.
Ọ ga-erepịakwa ebe ya niile e wusiri ike.
Oke ụzụ agha nke ga-ada dịka ụzụ oke ifufe,
na ụzụ egbe eluigwe ga na-ada n’ụbọchị ahụ.
15 Eze ha na ndịisi ọchịchị ya ga-abụ ndị a dọtara n’agha,
ndị ga-aga biri n’ala ọzọ.”
Ka ONYENWE ANYỊ sịrị.

# 2

1 Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
“N’ihi njehie atọ nke Moab,
e, n’ihi nke anọ, agaghị m ahapụ inye ya ntaramahụhụ.
N’ihi na ha surere ọkpụkpụ eze ndị Edọm ọkụ,
mee ha ka ha ghọọ ntụ.
2 Ya mere, aga m ezite ọkụ na Moab,
nke ga-erepịa ebe niile e wusiri ike nke Keriọt.
Moab ga-anwụ n’ime ọgbaaghara,
n’etiti mkpu agha, na ụda opi ike.
3 Aga m ala onyeisi ọchịchị ya n’iyi,
gbukwaa ndị ozi niile nọ n’okpuru ya.”
Ọ bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu.
4 Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
“N’ihi njehie atọ nke Juda,
e, n’ihi nke anọ, agaghị m ahapụ inye ya ntaramahụhụ.
N’ihi na ha ajụla iwu ONYENWE ANYỊ.
Ha ajụkwala irube isi ha n’ụkpụrụ ya.
Ha abụrụla ndị e ji okwu ụgha duhie,
bụ okwu ụgha ndị ahụ nna nna ha gbasoro.
5 N’ihi nke a, aga m esunye ọkụ na Juda,
ọ ga-erepịa ebe niile e wusiri ike nke Jerusalem.”

### *Ikpe ọmụma dịrị Izrel*

6 Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
“N’ihi njehie atọ nke Izrel,
e, n’ihi nke anọ, agaghị m ahapụ inye ya ntaramahụhụ.
Ha na-ere ndị ezi omume n’ihi ọlaọcha,
reekwa ụmụ ogbenye n’ọnụ ahịa e ji azụ akpụkpọụkwụ abụọ.
7 Ha na-azọpịa isi ndị ike na-adịghị,
na-echi ha ọnụ n’aja,
na-ewezuga ndị dị umeala n’ụzọ ezi ihe.
Nwoke na nna ya na-edinakwuru otu nwaagbọghọ,

si otu a merụọ aha nsọ m.
8 Ha na-edina n’akụkụ ebe ịchụ aja ọbụla,
n’elu uwe ndị anatara na mbe.
N’ime ụlọnsọ chi ha,
ha na-aṅụ mmanya ha natara dịka ihe nra.

9 “Ma a lara m ndị Amọrait n’iyi n’ihu ha,
ndị ahụ dị ogologo dịka osisi sida,
ndị sikwara ike dịka osisi ook.
Alara m mkpụrụ ha dị n’elu,
na mgbọrọgwụ ha niile dị n’okpuru n’iyi.
10 Esitere m n’ala Ijipt kpọpụta unu,
duru unu gafee n’ọzara iri afọ anọ,
ime ka unu nweta ala ndị Amọrait.

11 “Ahọpụtara m ụmụ unu ụfọdụ ka ha bụrụ ndị amụma,
họpụtakwa ụfọdụ ndị okorobịa unu ka ha bụrụ Nazirait.
Unu ndị Izrel, unu ga-agọ na nke a abụghị eziokwu?”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara ya.
12 “Ma unu mere* ka ndị Nazirait ahụ ṅụọ mmanya.
Unu nyekwara ndị amụma iwu ka ha kwụsị ibu amụma.

13 “N’ihi ya, aga m abịada unu n’ala n’ọnọdụ unu,
dịka ụgbọala nke e bujuru ukwu ọka si abịada.
14 Ịgba ọsọ agaghị azọpụta ọ bụladị ndị dị nwe ụkwụ ọsọ,
ndị dị ike agaghị agba onwe ha ume,
ndị bụ dike n’agha agaghị azọpụta onwe ha.
15 Ndị na-agba ụta agaghị agbata ihe ọbụla,
ndị nwere ụkwụ ọsọ agaghị enwekwa ike ịgba ọsọ.
Ọ bụladị onye ịgba ịnyịnya doro anya agakwaghị enwe ike ịgbanarị ihe mberede
nke ga-abịakwasị ya.
16 Ndị obi siri ike n’etiti ndị dike unu,
ga-agbara ọtọ gbapụ ọsọ n’ụbọchị ahụ.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

# 3

## *Ndị ama megide Izrel*

1 Nụrụnụ okwu ndị a nke ONYENWE ANYỊ kwuru megide unu, unu ndị Izrel,
megidekwa ezinaụlọ ahụ niile nke m kpọpụtara site n’ala Ijipt.
2 “Naanị unu ka m họọrọ
n’ime ezinaụlọ niile nke nọ n’elu ụwa;
Ọ bụ n’ihi nke a ka m ga-eji nye unu ahụhụ
n’ihi mmehie unu niile.”

3 Mmadụ abụọ ga-esi aṅaa jekọọ ije
ma ọ bụrụ na ha enweghị nkwekọrịta?
4 Ọdụm ọ na-agbọ ụja n’ọhịa
ma ọ bụrụ na o nweghị anụ ọ hụrụ?
Nwa ọdụm ọ na-ebigbọ n’ime olulu ya,
mgbe ọ dịghị anụ ọ dọgburu?

* **2:12** 2:12 Maọbụ, kwagidere

5 Nnụnụ ọ na-ama n’ọnya dị n’ala
ma ọ bụrụ na o nweghị ọnya e siri ijide ya?
Ọnya e siiri anụ ọ na-akụchi
ma ọ bụrụ na o nweghị ihe ọ matara?
6 Mgbe a fụrụ opi n’obodo,
ọ bụ na ndị bi n’ime ya adịghị ama jijiji?
Mgbe mbibi na ịla n’iyi dakwasịrị obodo ọbụla
ọ bụghị ONYENWE ANYỊ mere ka ọ dị?

7 N’ezie Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ adịghị eme ihe ọbụla
tutu ruo mgbe o buru ụzọ gosi ya
ndị na-ejere ya ozi bụ ndị amụma.

8 Ọdụm agbọọla ụja,
o nwere onye na-agaghị atụ egwu?
Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ekwuola okwu,
onye ga-ahapụ ibu amụma?

9 Kwusaanụ ya n’obodo niile e wusiri ike nke Ashdọd
na ebe niile e wusiri ike nke Ijipt, sị,
“Zukọtanụ* n’elu ugwu niile nke Sameria
ka unu hụ oke ọgbaaghara nke dị n’etiti ya
na mmegbu niile nke dị n’etiti ndị ya.†”

10 “Ha echezọọla ime ezi ihe.” Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
“bụ ndị ahụ na-akpakọba ihe e zutere n’ohi na ihe e sitere n’aka ike pụnara ndị mmadụ
n’ime n’ụlọ ha niile e wusiri ike.”
11 N’ihi ya nke a bụ ihe Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru,
“Onye iro na-abịa! Ọ ga-agba ala gị gburugburu;
ọ ga-akwatu ebe niile gị bụ nke e wusiri ike,
ma kwakọrọkwa ihe niile dị n’ụlọ gị ndị ahụ e wusiri ike.”
12 Otu a ka ONYENWE ANYỊ sịrị,
“Dịka onye ọzụzụ atụrụ si anapụta
naanị ọkpụkpụ ụkwụ abụọ maọbụ iberibe ntị site n’ọnụ ọdụm,
otu a ka a ga-esi zọpụta ụmụ Izrel bi na Sameria,
na nkuku isi ihe ndina‡
na n’iberibe akwa ọma site n’elu ihe ndina.§”
13 “Nụrụ nke a, ma gbaanụ ama megide ụmụ Jekọb,” ọ bụ otu a ka Onyenwe anyị,
bụ ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile, kwubiri.
14 “N’ụbọchị ahụ, m ga-enye Izrel ahụhụ n’ihi mmehie ha,
aghaghị m imebikwa ebe ịchụ aja nke dị na Betel.
Mpi dị n’ebe ịchụ aja ka a ga-ebipụkwa,
mee ka ha daa n’ala.
15 Aga m etida ụlọ ndị niile ha wuru maka oge oyi,
na nke ha wuru maka oge okpomọkụ;
aga m ebibikwa ụlọ ndị ahụ niile ha ji ọdụ enyi wuo.
Ọtụtụ ebe obibi ha niile ka a ga-etitukwa.”

---

* **3:9** 3:9 Maọbụ, Werenụ ọnọdụ unu † **3:9** 3:9 A na-eme n’ime ya ‡ **3:12** 3:12 Ndị na-edina n’elu akwa dara oke ọnụahịa § **3:12** 3:12 Ọ bụ n’ọnụ akụkụ ihe ndina na akwa ha

Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya.

# 4

*Izrel alọghachibeghị n'ebe Chineke nọ*

1 Nụrụ okwu a, unu nne ehi nke Bashan, ndị na-ebi n'elu ugwu Sameria,
unu ndị inyom na-emegbu ndị ogbenye, ma zọpịakwa ndị mkpa na-akpa,
ndị na-asị di ha, "welatara anyị ihe ọṅụṅụ"
2 Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ewerela ịdị nsọ ya ṅụọ iyi, sị,
"Ụbọchị ahụ aghaghị ịbịa
mgbe a ga-eji nko dọkpụrụ unu pụọ;
jiri nko azụ dọkpụrụ ọ bụladị onye ikpeazụ n'ime unu.
3 Ọ bụ site n'oghere dị iche iche e mere na mgbidi obodo,
ka onye ọbụla ga-esi n'ahịrị n'ahịrị pụọ,
a ga-atụga unu n'ụzọ Hamon."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
4 "Gaanụ na Betel, ma jehie.
Jeenụ Gilgal mee ka mmehie baa ụba.
Butenụ ihe aja unu ụtụtụ niile.
Webatakwanụ onyinye otu ụzọ n'ụzọ iri unu n'ụbọchị atọ* ọbụla.
5 Chụọnụ aja nsure ọkụ dịka aja ekele, site n'achịcha koro eko;
kpọsaakwanụ banyere onyinye afọ ofufu niile unu na-enye,
nyaanụ isi banyere ha, unu bụ ndị Izrel,
n'ihi na nke a bụ ihe unu hụrụ n'anya ime."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

6 "E mere m ka unu nwee eze dị ọcha† n'obodo unu niile,
mekwa ka ụkọ nri dị n'ọnụmara unu niile
ma unu alọghachikwuteghị m."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

7 "Ọzọkwa, Mụ onwe m gbochikwara‡ mmiri izoro unu,
mgbe ọ fọdụrụ ọnwa atọ tupu owuwe ihe ubi ebido.
Enyere m otu obodo mmiri ozuzo,
ma gbochie ya izoro obodo nke ọzọ.
Mmiri zoro n'otu ubi,
ma nke mmiri ezoghị na ya kpọnwụrụ.
8 Ndị si obodo abụọ maọbụ atọ chọrọ mmiri ọṅụṅụ jee n'obodo ọzọ,
ma ha enwetaghị nke ha ji aṅụju afọ,
ma n'ime ihe ndị a niile unu alọghachikwuteghị m."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

9 "Ezitere m ọrịa nchakpọ n'ubi unu niile a gbara ogige, ya na ubi vaịnị unu niile, ọtụtụ oge,
werekwa ọrịa na-eripịa ihe ubi na ọmụma ebu bibie ha,
zitekwa igurube nke richapụrụ osisi fiig na osisi oliv unu niile,
ma nke a emeghị ka unu lọghachikwute m."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

10 "Ezitere m n'etiti unu ajọ ọrịa na-efe efe

* **4:4** 4:4 Maọbụ, n'afọ atọ † **4:6** 4:6 Eze ha dị ọcha n'ihi erighị nri ọbụla ‡ **4:7** 4:7 Maọbụ, kwụsịkwara

dịka ndị ahụ m zitere ndị Ijipt.
Ejiri m mma agha gbuo ụmụ okorobịa unu,
mee ka a dọta ịnyịnya agha unu n’agha.
Emere m ka isisi ọjọọ ndị niile nwuru n’ọmụma ụlọ ikwu§ unu jupụta imi unu,
ma nke a emeghị ka unu lọghachikwute m.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.

11 “Akwaturu m ụfọdụ n’ime unu
dịka mgbe Chineke kwaturu Sọdọm na Gọmọra.
Unu dịka ọlọkọ nkụ ọkụ alọpụtara site n’ọkụ,
ma unu alọghachikwuteghị m,”
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

12 “N’ihi ya, ihe ndị a ka m na-aga ime gị, gị bụ Izrel.
Ebe ọ bụkwa na ejikerela m ime gị ihe ndị a,
jikere, O Izrel, izute Chineke gị.”

13 Ma lee, onye na-akpụ ugwu niile,
onye na-ekekwa ifufe,
nke na-ekpughekwa echiche uche ya nye mmadụ,
onye na-emekwa ka chi ọbụbọ* ghọọ ọchịchịrị,
na-azọchakwa ugwu niile n’ọbụụkwụ ya,
Onyenwe anyị Chineke Onye pụrụ ime ihe niile bụ aha ya.

# 5

*Abụ akwa na ịkpọ oku maka nchegharị*

1 Nụrụnụ okwu ndị a, nke a ka m na-ekwu megide unu, ọ bụ mkpu akwa maka gị
ezinaụlọ nke Izrel:
2 “Izrel, nwaagbọghọ na-amaghị nwoke, a daala,
ọ gaghị ebilite ọzọ,
onye a gbahapụrụ n’ala nke aka ya,
ọ dịkwaghị onye ga-ekulite ya.”
3 Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-asị Izrel,
“Obodo unu nke na-ezipụ puku ndị ike,
ka naanị narị ga-afọdụ,
obodo unu na-ezipụ narị ndị ike
ka naanị iri ga-afọdụrụ.”

*Chọsienụ Chineke ike ka unu dị ndụ*

4 Ihe ndị a bụ okwu ONYENWE ANYỊ na-agwa ụlọ Izrel,
“Chọọnụ m, ka unu dịrị ndụ.
5 Unu achọla Betel,
unu abanyekwala na Gilgal,
maọbụ ga ije ruo Bịasheba.
N’ihi na Gilgal aghaghị ije biri n’ala ọzọ,
ebe Betel ga-aghọ ebe tọgbọrọ n’efu.”*
6 Chọọnụ ONYENWE ANYỊ, ka unu dịrị ndụ,
ka ọ gharakwa iji ike bịakwasị ụlọ Josef, dịka ire ọkụ,
ọ ga-erepịa ha.

§ **4:10** 4:10 Maọbụ, ebe obibi * **4:13** 4:13 Ya bụ, ụtụtụ * **5:5** 5:5 Maọbụ, ajọ ihe

Betel agaghị enwe onye ga-emenyụ.

7 Unu ndị na-eme ikpe ziri ezi ka ọ ghọọ ihe ilu,
na-ekpukwa ezi omume ihu n’ala.

8 Onye mere kpakpando pleiades na orion,
onye na-emekwa ka oke ọchịchịrị ghọọ ụtụtụ,
na-emekwa ka ụbọchị ghọọ abalị,
onye na-akpọ mmiri nke osimiri oku,
wụsa ha n’elu ala akọrọ,
ONYENWE ANYỊ bụ aha ya.
9 Onye na-eme ka ịla n’iyi bịakwasị ndị dị ike n’otu ntabi anya,
na-emekwa ka ịla n’iyi bịakwasị ebe ahụ niile e wusiri ike.

10 Ọ dị ndị na-akpọ onye na-edebe ikpe ziri ezi n’ụlọikpe asị,
na-eleliịkwa onye na-ekwu eziokwu anya.

11 Unu na-azọpịa ndị ogbenye,
na-anapụ ha ukwu ọka wiiti ha.
Unu ewuolara onwe unu ụlọ nkume a wara awa,
ma unu agaghị ebi n’ime ha.
Unu akụọla ubi vaịnị mara mma,
ma unu agaghị aṅụ ihe ọṅụṅụ ọbụla sitere n’ime ha.
12 N’ihi na amaara m njehie unu niile, ka ha si baa ụba,
matakwa ọtụtụ mmehie unu niile.

Unu na-emegbu ndị ezi omume, na-erikwa ngarị.
Ma na-achụpụkwa ndị ọ dịghị nke ha nwere n’ọnụ ụzọ ama.
13 N’ihi ya, onye nwere uche na-ekpuchi ọnụ ya n’oge ahụ,
n’ihi na oge ndị ahụ dị njọ.

14 Chọsienụ ezi ihe ike, ọ bụghị ihe ọjọọ;
ka unu dịrị ndụ.
Mgbe ahụ ka ONYENWE ANYỊ Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile ga-anọnyere unu,
dịka unu si kwuo.
15 Kpọọnụ ihe ọjọọ asị, ma hụnụ ezi ihe n’anya.
Meenụ ka ikpe ziri ezi guzosie ike n’ụlọikpe unu.
O nwere ike bụrụ na ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile
ga-enwe amara n’ahụ ndị fọdụụrụ Josef.
16 N’ihi ya, nke a ka ONYENWE ANYỊ, Chineke Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Onyenwe
anyị na-asị,
“Oke iti mkpu akwa aghaghị ịdị n’okporoụzọ niile;
ọ bụkwa n’ama niile ka ha ga-asị, azịgbakwa, azịgbakwa.
A ga-akpọ ndị ọrụ ubi ka ha bịa kwaa akwa,
kpọọkwa ndị na-eru ụjụ ka ha bịa tie mkpu akwa.
17 A ga-enwe iti mkpu akwa n’ime ubi vaịnị niile,
n’ihi na aga m esi n’etiti unu gafee,”
ka ONYENWE ANYỊ kwuru.

### *Ụbọchị ONYENWE ANYỊ*

18 Ahụhụ dịrị unu,†
ndị ahụ na-achọsi ụbọchị ONYENWE ANYỊ ike.
Gịnị mere unu ji achọ ụbọchị nke ONYENWE ANYỊ ahụ?
Ụbọchị ahụ ga-abụ ọchịchịrị, ọ bụghị ìhè.
19 Ọ ga-adị ka onye si n'ihu ọdụm na-agbapụ
ma zute anụ ọhịa bịa,
maọbụ onye gbabara n'ụlọ ya izuike
ma tụkwasị aka ya n'aja ụlọ,
agwọ ataa ya.
20 Ụbọchị ONYENWE ANYỊ ọ gaghị abụ ụbọchị ọchịchịrị, na-abụghị ìhè,
nke oke ọchịchịrị, a na-agaghị enwe ìhè ọbụla na ya?

21 "Akpọrọ m mmemme oriri na ọṅụṅụ unu asị, ajụla m ya.
Nnọkọ nke oke nzukọ unu adịghị atọkwa m ụtọ.
22 A sịkwarị na unu bunyere m aja nsure ọkụ unu na aja mkpụrụ ọka unu,
agaghị m anabata ha.
Aja udo nke anụ unu gbara abụba
abụrụghị m ihe ọbụla.
23 Sitenụ n'ebe m nọ wezuga ụzụ ịbụ abụ unu.
Agaghị m ege ntị n'abụ ụbọ akwara unu.
24 Kama meenụ ka ikpe ziri ezi na-asọgharị dịka mmiri,
ka ezi omume na-asọgharịbiga oke dịka iyi nke na-adịghị ata ata.

25 "Iri afọ anọ ndị ahụ unu nọ n'ọzara,
unu chụụrụ m aja, unu o wetara m onyinye, unu ụlọ Izrel?
26 Unu ga-ebuli eze unu Sakut elu,
na arụsị Kayiwan, chi kpakpando unu,
bụ onyinyo unu, na chi niile a kpụrụ akpụ,
nke unu kpụrụ nye onwe unu.
27 Ya mere, aghaghị m ime ka e buru unu gaa n'ala ndị ọzọ, n'ofe Damaskọs,"
ka ONYENWE ANYỊ, Onye ahụ aha ya bụ Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.

# 6

*Ahụhụ dịrị ndị na-ebi ndụ dị jụụ*

1 Ahụhụ dịrị ndị ahụ na-enweghị nsogbu n'ime Zayọn,
na ndị ahụ na-ebi n'izuoke n'ugwu Sameria,
bụ ndị a maara aha ha na isi mba nke mba niile,
ndị agbụrụ Izrel niile na-abịakwute.
2 Gaanụ Kalne, ka unu lee ya anya,
site n'ebe ahụ unu jeruo Hamat, obodo ukwu ahụ,
mgbe ahụ unu gbada jeruokwa Gat nke dị na Filistia
Ha ọ kacha alaeze abụọ unu mma?
Ka ala ha ọ karịrị ndị nke unu?
3 Unu na-ewezuga ụbọchị ọjọọ ahụ
ma na-eme ka ụbọchị ihe ike bịa ngwangwa.
4 Azịgba unu ndị na-edina n'elu akwa ọdụ enyi,
na-agbatị onwe ha n'elu ihe ndina ha,
na-erikwa anụ ụmụ atụrụ dị mma
na ụmụ ehi e mere ka ha gbaa abụba.

† **5:18** 5:18 Maọbụ, Azịgba unu

5 Ndị na-abụ abụ nke na-abaghị n'ụda ụbọ akwara,
ma were aka ha rụọra onwe ha ngwa egwu dịka Devid mere.
6 Unu na-aṅụ mmanya site n'ọba;
na-ete mmanụ makarịsịrị mma,
ma ịla n'iyi nke Josef adịghị ewute ha.
7 N'ihi ya, unu ga-abụ ndị a ga-ebu ụzọ mee ka ha jee biri n'ala ndị ọzọ.
Na mberede, oke oriri unu na idina ala setịa onwe unu ga-akwụsị.

*Mpako bụ ihe arụ n'ihu ONYENWE ANYỊ*

8 Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ ewerela onwe ya ṅụọ iyi, ONYENWE
ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile ekwupụtala sị,
"Ihe arụ ka mfụli elu nke Jekọb bụrụ m;
ana m akpọkwa ebe ya niile e wusiri ike asị.
N'ihi ya, aghaghị m iwere obodo a
na ihe niile dị ya n'ime nyefee n'aka ndị ọzọ."
9 Ma ọ bụrụ na mmadụ iri afọdụ n'ime otu ụlọ, ha niile aghaghị ịnwụ. 10 Ma ọ bụrụ
na nwanna, bụ onye nke na-aga ịkpọ anụ ahụ ndị a ọkụ, abata ibupụ ha n'ezi, ọ jụọ
otu onye nọ n'ime ime ụlọ ahụ sị, "O nwere onye ọzọ gị na ya nọ?" Onye ahụ zaa,
"Ọ dịghị," mgbe ahụ nwanna ahụ ga-asị, "Nọọ jụụ. Anyị agaghị akpọ aha ONYENWE
ANYỊ."
11 N'ihi na lee, ONYENWE ANYỊ e nyela iwu.
Ọ ghaghị itikpọsị ụlọ ukwu ndị ahụ,
tiriekwa ụlọ nta ndị ahụ niile.

12 Ịnyịnya ọ na-agba ọsọ n'elu nkume?
Mmadụ ọ na-eji ehi abụọ e jikọtara ọnụ akọ elu osimiri?
Ma unu atụgharịala ikpe ziri ezi mee ya ka ọ ghọọ nsi,
mkpụrụ nke ezi omume ka unu mekwara ka ọ ghọọ ihe ilu.
13 Unu ndị na-aṅụrị ọṅụ n'ihi na unu meriri obodo Lo Deba,*
ndị na-asị, "Ọ bụghị site n'ike aka anyị ka anyị nwetakwara Kanaịm?"†

14 "Ma lee, aghaghị m ime ka otu mba bilie imegide unu, ụlọ Izrel,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ Chineke Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri ya.
"Ha ga-emekpa unu ahụ site n'ụzọ niile
site na Lebo Hamat ruo ndagwurugwu Araba."

# 7

*Igurube, ọkụ na ihe ịtụ mgbidi*

1 Ihe a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ mere ka m hụ. Lee, ọ na-
akwado igwe igurube nke ga-abịa bibie ihe ubi niile ga-etopụta mgbe e burula ụzọ
wee ihe ubi nke mbụ nke a na-enye eze, dịka ihe ruuru ya. 2 Mgbe ha tachara ahịhịa
niile dị n'ala ahụ, etiri m mkpu: "Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ biko
arịọọ m gị, gbaghara. Jekọb ọ ga-esi aṅa guzosie ike? Lee, ọ dịkarịrị nta."
3 ONYENWE ANYỊ chegharịrị banyere ihe ndị a.
ONYENWE ANYỊ kwuru sị, "Ihe dị otu a agaghị emekwa."
4 Ihe a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ gosiri m: Lee, Onye kachasị
ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-akpọku ọkụ iji ya kpee ikpe. Ọkụ ahụ repịara ogbu
mmiri, repịakwa ala ahụ niile. 5 Mgbe ahụ, asịrị m, "Onye kachasị ihe niile elu, bụ

* **6:13** 6:13 Ya bụ, ihe na-abaghị uru † **6:13** 6:13 Kanaịm pụtara mpi; mpi n'ebe mpi na-egosi ịdị ike.

ONYENWE ANYỊ biko, arịọọ m gị kwụsị! Olee otu Jekọb ga-esi guzosie ike? Lee na ọ dịkarịrị nta!”

6 ONYENWE ANYỊ chegharịrị banyere ihe ndị a.

Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ kwuru, “Ihe dị otu a agaghị emekwa.”

7 Nke a ka o gosiri m, lee, Onyenwe anyị na-eguzo n'akụkụ mgbidi nke e ji ihe ịtụ
mgbidi tụọ nke ọma, o jikwa ihe ịtụ mgbidi n'aka ya. 8 ONYENWE ANYỊ sịrị m, “Emọs,
gịnị ka ị na-ahụ?”

Asịrị m, “Ihe ịtụ mgbidi.”

Mgbe ahụ, Onyenwe anyị kwuru, “Lee, mụ onwe m na-edo ihe ịtụ mgbidi n'etiti ndị m bụ Izrel, agaghịkwa m esi ebe ha nọ gafee.

9 “Ebe niile e wuliri elu nke Aịzik aghaghị ịbụ ebe e mebiri emebi,
ebe nsọ niile nke Izrel aghaghị ịbụ ebe tọgbọrọ n'efu,
aghakwaghị m iweli mma agha m elu iji megide ụlọ Jeroboam.”

### *Emọs na Amazaya*

10 Mgbe ahụ, Amazaya onye nchụaja nọ na Betel zigaara Jeroboam bụ eze Izrel ozi
na-asị, “Emọs na-akwalị izu nzuzo ka ọ megide gị n'etiti ụlọ Izrel, ala apụghị ibu
okwu niile sị ya n'ọnụ apụta. 11 Nke bụ ihe Emọs nọ na-asị,

“ 'Jeroboam aghaghị ịnwụ site na mma agha,
Izrel aghakwaghị isite n'ala amụrụ ha jee biri n'ala ọzọ,
dịka ndị a dọtara n'agha.' ”

12 Mgbe ahụ, Amazaya gwara Emọs, “Gị onye ọhụ ụzọ, gbara ọsọ gbalaa ala Juda.
Jee n'ebe ahụ, rie achịcha nke sitere n'ibu amụma gị, nọrọkwa n'ebe ahụ buo amụma
gị. 13 Ebula amụma ọzọ na Betel, n'ihi na ọ bụ ebe nsọ nke eze, ọ bụkwa ụlọnsọ ukwu
nke alaeze ya.”

14 Mgbe ahụ, Emọs zaghachiri Amazaya, “Ọ dịghị mgbe m bụ onye amụma,
abụkwaghị m nwa onye amụma, kama abụ m onye na-elekọta igwe ewu na atụrụ,
na onye ọrụ na-azụ osisi sikamọ. 15 Ma ONYENWE ANYỊ sitere n'ebe ịzụ igwe ewu na
atụrụ kpọpụta m, Onyenwe anyị sịrị m: 'Gaa buoro ndị m Izrel amụma.' 16 N'ihi ya,
ugbu a nụrụ okwu ONYENWE ANYỊ, ma unu na-asị,

“ 'Ebula amụma megide Izrel,
ekwukwala okwu megide ụlọ Aịzik.'

17 “Ya mere, otu a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,

“ 'Nwunye gị ga-aghọ nwanyị na-agba akwụna n'ime obodo.
Ụmụ gị ndị nwoke na ndị nwanyị ka a ga-eji mma agha gbuo.
A ga-atụ ala gị n'ihe ọtụtụ, kewasịa ya nye ndị ọzọ,
ma gị onwe gị ga-anwụ n'ala rụrụ arụ.
A ghakwaghị ịdọta Izrel n'agha
mee ka ha gaa biri n'ala ndị mba ọzọ.' ”

# 8

### *Nkata mkpụrụ chara acha*

1 Ihe a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ gosiri m. Otu nkata nke
mkpụrụ osisi ọkọchị chara acha jupụtara. 2 Ọ sịrị m, “Emọs, gịnị ka ị na-ahụ?”

A sịrị m: “Otu nkata nke mkpụrụ osisi chara acha jupụtara n'ime ya.”

Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ sịrị m, “Oge ọgwụgwụ abịakwasịla ndị m, Izrel. Agaghị m ewezugakwa ntaramahụhụ dịrị ha.”

[3] Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYị kwupụtara, “N’ụbọchị ahụ,
abụ niile nke a na-abụ n’ime ụlọnsọ ukwu ga-aghọ iti mkpu akwa. Ọtụtụ, ọtụtụ ozu
ndị nwụrụ anwụ, n’ebe niile ọbụla ka atụpụsịrị ha! Mkpọtụ ọbụla adịghịkwa!”*
[4] Nụrụnụ nke a, unu ndị na-azọpịa ndị mkpa na-akpa,
na-emekwa ka ụmụ ogbenye dị n’ala a gwụsịa,
[5] na-asị,
“Olee mgbe ọnwa ọhụrụ ga-agafe
ka anyị ree mkpụrụ ubi,
na mgbe ụbọchị izuike ga-agwụ
ka anyị ree ọka wiiti?”
Ka anyị jiri ihe ọtụtụ dị nta,
na ibuli ọnụ ngwa ahịa elu,
na aghụghọ site n’iji ihe ọtụtụ na-ezughị ezu.
[6] Jiri ọlaọcha zụta ụmụ ogbenye,
jirikwa akpụkpọụkwụ abụọ anyị zụta ndị mkpa na-akpa,
ma reekọta ọka wiiti anyị zachatara n’ala ya na ezi ọka wiiti.
[7] ONYENWE ANYị ewerela nganga Jekọb ṅụọ iyi, “N’ezie, agaghị m echefu, ọ bụladị
otu n’ime ọrụ niile ha rụrụ.”
[8] Ọ bụ na ala agaghị ama jijiji n’ihi nke a,
ndị niile bi n’ime ya ha agaghị eru ụjụ?
Ala a niile ga-etoju dịka osimiri Naịl,
a ga-eme ka ọ magharịa malie elu, ma tachaa
dịka iyi Ijipt.
[9] “Ma n’ụbọchị ahụ,” otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYị kwubiri
ya,
“Aga m eme ka anyanwụ daa† n’etiti ehihie,
ime ka ọchịchịrị dịrị n’etiti oke ehihie nke ụbọchị.
[10] Aghaghị m ime ka ụbọchị oke oriri unu ghọọ ụbọchị iru ụjụ;
gbanwee abụ unu niile ka ha ghọọ abụ akwa.
Aga m eme ka onye ọbụla n’ime unu yiri akwa mkpe,
meekwa ka unu kpụchaa isi unu.
Aga m eme ka ụbọchị ahụ dịrị ka ụbọchị a na-eru ụjụ, n’ihi otu mkpụrụ nwa nwoke
nwụrụ anwụ.
Ọgwụgwụ ya ga-adịka ụbọchị na-elu ilu ilu.

[11] “Lee, ụbọchị ndị ahụ na-abịa,” otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE
ANYị kwubiri ya,
“mgbe m ga-eziga oke ụnwụ n’elu ala,
ọ bụghị ụnwụ nke nri maọbụ nke akpịrị ịkpọ nkụ nke mmiri,
kama ọ bụ oke ụnwụ nke ịnụ okwu niile nke ONYENWE ANYị.
[12] Ha ga-awagharị site n’otu osimiri ruo n’osimiri ọzọ,
sitekwa n’ugwu ruo n’ọwụwa anyanwụ;
ha ga-agbagharị n’elu na ala ịchọ okwu ONYENWE ANYị,
ma ha agaghị achọta ya.
[13] “N’ụbọchị ahụ,
“ụmụ agbọghọ ndị mara mma ile anya, na ụmụ okorobịa ndị dị ike
ga-ada mba n’ihi akpịrị ịkpọ nkụ.
[14] Ndị ahụ na-eji mmehie Sameria na-aṅụ iyi,‡
ndị na-asị, ‘Dịka chi gị na-adị ndụ, gị Dan,’

* **8:3** 8:3 Ya bụ, ebe ọbụla dere juu † **8:9** 8:9 Ya bụ, ime ka chi jie ‡ **8:14** 8:14 N’aha Ashima bụ arụsị

nakwa, 'Ebe ọ bụ na chi ndị Bịasheba na-adị ndụ,'
ha ga-ada, ha agakwaghị ebilite ọzọ."

# 9

*A ga-ebibi Izrel*

1 Ahụrụ m Onyenwe anyị ka ọ guzo n'akụkụ ebe ịchụ aja, ọ sịrị,
"Tie ọnụ ogidi ndị a ihe,
ruo mgbe mbata ọnụ ụzọ ha niile mara jijiji.
Tipịasịa ha n'isi mmadụ niile;
aga m ejikwa mma agha gbuo ndị niile fọdụrụ.
Ọ dịghị onye ga-agbapụ,
ọ dịkwaghị onye ga-ewezuga onwe ya.
2 Ọ bụrụ na ha egwuo ala ruo n'ala mmụọ,
site n'ebe ahụ ka aka m ga-esi dọlie ha,
ọ bụrụkwa na ha arịgoruo ime eluigwe,
site n'ebe ahụ ka m ga-esi wedata ha n'ala.
3 Ọ bụrụkwa na ha ezoo onwe ha n'elu Kamel
n'ebe ahụ ka m ga-esi chọpụta ha, kpụrụ ha,
a sịkwa na ha ezoo onwe ha n'ala oke osimiri,
n'ebe ahụ ka m ga-enye ajụala nke mmiri iwu ka ọ taa ha.
4 Ọ bụrụ na a dọta ha n'agha mee ka ha gaa biri n'ala ndị mba ọzọ,
n'ebe ahụ aga m enye mma agha iwu ka o gbuo ha.

"Aga m elekwasị ha anya m abụọ
n'ihi ime ha ihe ọjọọ, ọ bụghị ihe ọma."

5 Onyenwe anyị, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
onye na-emetụ ala aka mee ka ọ gbazee,
ime ka ndị niile bi n'ala ruo ụjụ;
ala ya niile bilie na-ebili dịka mmiri nke osimiri Naịl,
nke na-emesịakwa dajụọ dịka mmiri Ijipt.
6 Onye na-ewu ụlọ elu ya n'eluigwe niile,
na-eme ka ntọala ya dị n'ụwa.
Onye na-akpọ mmiri nke osimiri oku,
ma na-awụsa ha n'ala,
aha ya bụ ONYENWE ANYỊ.

7 "Ọ bụ na unu ndị Izrel
adịghị ka ndị Kush n'ebe m nọ?"
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
"Ọ bụ na-esighị m n'ala Ijipt kpọpụta Izrel,
site na Kafto kpọpụta ndị Filistia,
ma kpọpụtakwa ndị Aram site na Kia?

8 "N'ezie, anya Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ dịkwasịrị
n'ahụ alaeze ahụ nke na-emehie.
Aghaghị m ịla ya n'iyi,
kpochapụ ya site n'elu ụwa,
naanị na m agaghị ebibicha
ụlọ Jekọb kpamkpam."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

9 “Ma lee, mụ onwe m gaje inye iwu,
aga m ayọgharị ụlọ Izrel
n’etiti mba niile
dịka e si ayọgharị ọka n’ime nyọ,
ma ọ dịghị otu mkpụrụ ọka n’ime ya nke ga-ada n’ala.
10 Ma ndị mmehie ahụ niile nọ n’etiti ndị m,
ndị ahụ na-asị, ‘Mbibi agaghị erute anyị,
anyị agaghị ezute ya,
aghaghị ịnwụ site na mma agha.’

### *Nlọta ndị Izrel*

11 “N’ụbọchị ahụ,
“aga m emekwa ka ụlọ ikwu Devid dara ada guzoziekwa.
Aga m emezi akụkụ ya niile gbajiri agbaji,
mee ka akụkụ ya niile dakpọsịrị adakpọsị guzozie dịka ọ dị na mbụ.
Aga m ewugharịkwa ya, mee ka ọ dịrị ka ọ dị na mbụ.
12 Ka ha nwee ike inweta ndị fọdụrụ n’Edọm
tinyere mba niile dị iche iche bụ nke a kpọkwasịrị aha m.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ onye ga-emezu ihe ndị a niile kwubiri ya.
13 “Ụbọchị ndị ahụ na-abịa, otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri,
“Mgbe onye na-akọ ubi ga-agafe onye na-ewe ihe ubi,
onye na-agha mkpụrụ ka onye na-azọcha mkpụrụ vaịnị ga-agafekwa.
Mmanya ọhụrụ ga-esitekwa n’elu ugwu na-atapụta,
ọ ga-esitekwa n’ugwu nta niile na-asọpụta.
14 Aga m emekwa ka ndị m bụ Izrel site n’obodo a dọtara ha n’agha lọta.*

“Ha ga-ewugharị obodo niile tọgbọrọ n’efu, birikwa n’ime ha.
Ha ga-akụ ubi vaịnị a gbara ogige, ṅụọkwa mmanya si na ya.
Ha ga-arụkwa ubi a gbara ogige, riekwa mkpụrụ si na ya.
15 Aga m akụ Izrel n’ala ha.†
A gaghị ehopukwa ha ọzọ
site n’ala ahụ bụ nke m nyere ha.”
Ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ Chineke unu kwuru.

---

* **9:14** 9:14 Aga m emekwa ka ndị m Izrel nwetakwa ihe ọma niile. † **9:15** 9:15 Ya bụ, ime ka ha biri n’ala ha

# Ọbadaya

*Ọhụ Ọbadaya*

1 Ọhụ nke Ọbadaya hụrụ.

Otu a ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ na-ekwu banyere Edọm.
Anyị anụla ozi si n'ọnụ Onyenwe anyị,
e zipụla onyeozi ka ọ gaa mba niile dị iche iche zie ha ozi, sị,
"Bilikwanụ ka anyị gaa buo agha megide ya."

2 "Lee, aga m eme ka ị dị nta n'etiti mba dị iche iche;
ị ga-abụ ihe a na-eleli anya nke ukwuu.
3 Nganga nke obi gị eduhiela gị,
gị onye bi na mgbawa niile nke nkume dị elu,
onye ebe obibi ya dị n'ebe dị oke elu.
Gị onye na-ekwu n'ime obi ya,
'Onye ga-akpụdata m n'ala?'
4 A sịkwarị na i felie elu dịka ugo,
ọ bụrụkwa na ị kpaa akwụ gị n'etiti kpakpando,
aga m esite n'ebe ahụ kpụdata gị n'ala."
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
5 "Ọ bụrụ na ndị ohi abịakwute gị,
e, ọ bụrụ na ndị na-apụnara mmadụ ihe abịakwute gị n'etiti abalị,
lee, ụdị mbibi na-echere ịdakwasị gị!
Ọ bụghị naanị ihe ha chọrọ ka ha ga-ezuru?
Ọ bụrụ na ndị na-aghọ mkpụrụ vaịnị abịakwute gị,
ọ bụ na ha agaghị ahapụrụ gị mkpụrụ ole na ole?
6 Ma lee ka e si nyochapụtachaa ebe niile Ịsọ debere akụ ya,
lekwaa ka e si chịkọrọ akụ ya niile bụ nke zoro ezo!
7 Ndị enyi gị niile aghọgbuola gị, nwee ike imegide gị,
ndị gị na ha na-adị na mma achụrụla gị ruo n'oke ala;
ndị gị na ha na-erikọ nri gị ga-esiri gị ọnya igbudu,
ma ị gaghị achọpụta ya.

8 "N'ụbọchị ahụ," otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya,
"ọ bụ na mụ agaghị ala ndị oke amamihe niile nọ n'Edọm n'iyi,
bụ ndị nwere mmụọ nghọta nọ n'ugwu Ịsọ?
9 Ndị gị bụ dike n'agha, o Teman, ka ụjọ ga-eri.
Onye ọbụlakwa nọ n'ugwu Ịsọ niile,
ka a ga-egbuda n'agha.
10 N'ihi na i gbuola ma mesokwa nwanne gị bụ Jekọb ihe ike.
Ihere ga-ekpuchi gị;
a ga-alakwa gị n'iyi ruo mgbe ebighị ebi.
11 N'ụbọchị ahụ, ị nọọrọ onwe gị,
na-ele ndị ọbịa ka ha na-akwakọrọcha akụnụba ya,
sitekwa n'ọnụ ụzọ ama ya gafee
fee nza iji kerie Jerusalem.

Ị dịkwa ka otu onye n’ime ha.
12 Ma ị garaghị eleda nwanne gị anya
n’ụbọchị nsogbu ya,
ị garaghị aṅụ ndị Juda
n’ụbọchị ahụ e bibiri ha.
Ị garaghị anyara ha isi
n’ụbọchị ahụ ha nọ na nsogbu.
13 I kwesighị isite n’ọnụ ụzọ ama ndị m zọọ ije
n’ụbọchị ha nọ na nsogbu,
o zighị ezi na i ga-enwe obi aṅụrị n’oge ihe ọjọọ bịakwasịrị ha,
n’ụbọchị ha nọ na nsogbu,
maọbụ jiri aka ike pụnara ha akụ ha
n’ụbọchị nsogbu ha.
14 I kwesighị ịnọchi na ngalaba ụzọ
igbu ndị na-agbapụ ọsọ ndụ,
maọbụ were ndị ha fọdụrụ ndụ nyefee ha n’aka ndị iro ha,
n’ụbọchị nsogbu ha.

15 “Ụbọchị nke Onyenwe anyị dị nso
nye mba niile.
Dịka i si mee ndị ọzọ, otu ahụ ka a ga-eme gị;
ihe i metara ga-adị gị n’isi.
16 Dịka i si site n’ugwu nsọ m ṅụọ ihe ọṅụṅụ
otu a ka mba niile gbara gị gburugburu ga-esi ṅụọ ma na-adagharị.
Ha ga-aṅụ, ṅụọ,
ma ọ gaghị adị ha ka o nwere ihe ha na-aṅụ.
17 Ma n’ugwu Zayọn ndị gbara ọsọ ndụ ga-afọdụ,
ọ ga-adị nsọ,
ụlọ Jekọb ga-enwetakwa ihe nketa ha ọzọ.
18 Ụlọ Jekọb ga-abụ ọkụ,
ụlọ Josef ga-abụkwa ire ọkụ:
ma ụlọ Ịsọ ga-aghọkwa ukwu ọka.
Ha ga-esunyekwa ha ọkụ ma rechapụ ya.
Ọ dịkwaghị ndị ga-afọdụ ndụ
site n’ụlọ Ịsọ.”
ONYENWE ANYỊ ekwuola ya.

19 Mgbe ahụ, ndị bi na Negev ga-ebichi
n’ugwu ugwu Ịsọ,
ndị si na Shefela*
ga-enwekọta ala ndị Filistia.
Ha ga-anọchi ala ubi niile nke ndị Ifrem na nke Sameria.
Ndị Benjamin ga-enwetakwa Gilead.
20 Ụmụ Izrel gbara ọsọ ndụ gaa na Hala,
ga-enweta, bido n’ala Fonisia ruo Zarefat.
Ndị ahụ e mere ka ha si Jerusalem gaa biri na Sefarad,
ga-enwetakwa obodo niile nke Negeb.
21 Ndị nnapụta ga-agbago n’ugwu Zayọn
maka ịchị ugwu Ịsọ niile.

---

* **1:19** 1:19 Ndị a bi n’ebe ala ala ugwu

Mgbe ahụ alaeze niile ga-abụkwa nke ONYENWE ANYỊ.

# Jona

*Jona agbapụ ọsọ*

1 Okwu Onyenwe anyị bịakwutere Jona nwa Amitai, na-asị, 2 “Bilie, gaa Ninive, bụ
obodo ukwu ahụ, kwusaa okwu megide ya, n’ihi na ajọ omume ha abịarutela n’ihu
m.”
3 Ma Jona gbapụrụ ọsọ site n’ihu Onyenwe anyị chee ihu ya ije Tashish. O biliri jee
Jopa, n’ebe ọ hụrụ ụgbọ mmiri nke na-aga Tashish. Ọ kwụrụ ụgwọ ije ụgbọ, banye
isoro gaa Tashish ka o nwee ike gbapụ site n’ihu Onyenwe anyị.
4 Ma Onyenwe anyị mere ka ifufe dị egwu malite ife n’elu osimiri ahụ, ebili mmiri
bidokwara na-amagharị, chọọ itiwasị ụgbọ mmiri ahụ. 5 Mgbe ahụ, ndị niile na-arụ
ọrụ n’ụgbọ ahụ tụrụ oke egwu, malite itiku chi ha. Ha malitekwara itufu ihe niile dị
n’ụgbọ mmiri ahụ, ime ka ụgbọ ahụ dị mfe.
Ma n’oge ihe ndị a na-eme, Jona nọrịị n’ala ala ụgbọ mmiri ahụ ebe o dinara ala
na-arahụ ụra. 6 Onyeisi ụgbọ jekwuru Jona sị ya, “Gịnị ka ị nọ n’ebe a na-eme, ị na-
arahụ ụra? Bilie, kpọkuo chi gị, ma eleghị anya o nwere ike ileta anyị anya, meere
anyị ebere, zọpụta anyị.”
7 Mgbe ahụ, ndị nọ n’ụgbọ sịrịtara ibe ha, “Bịanụ ka anyị fee nza mata onye ihe
ọjọọ dị otu a sị n’aka ya bịakwasị anyị.” Ya mere, ha fere nza, nza ahụ a maa Jona.
8 N’ihi ya, ha sịrị ya, “Gwa anyị, onye mere ka ihe dị otu a bịakwasị anyị. Gịnị bụ
ọrụ gị? Ebee ka i si bịa? Ị bụ onye obodo ebee? Ole agbụrụ i si na ya pụta?”
9 Ọ sịrị, “Abụ m onye Hibru, na onye na-akpọ isiala nye Onyenwe anyị, bụ Chineke
nke eluigwe, onye kere osimiri na ala akọrọ.”
10 Egwu dị ukwuu tụrụ ụmụ nwoke ahụ, ha sịrị ya, “Gịnị ka i mere?” N’ihi na ha
matara na o si n’ihu Onyenwe anyị na-agbapụ ọsọ, n’ihi na ọ gwala ha rịị na ọ bụ
otu o si dị.
11 Ma ebili mmiri ahụ gara n’ihu na-amali n’ike n’ike. N’ihi ya, ha sịrị, “Gịnị ka
anyị ga-eme gị, nke ga-eme ka osimiri dajụọ?”
12 Ọ gwara ha, “Bulienụ m tụnye n’ime osimiri. Nke a ga-emekwa ka ọ dajụọ. N’ihi
na amaara m na ọ bụ n’ihi m ka ebili mmiri ọjọọ a ji na-abịakwasị unu.”
13 Kama, ndị ikom ahụ ji ike nyasie ụgbọ ahụ ichigharị ya laghachi n’elu ala, ma
ha enweghị ike. N’ihi na oke osimiri ahụ na-amali elu karịa ka ọ dị na mbụ. 14 Mgbe
ahụ, ha tikuru Onyenwe anyị mkpu akwa sị, “Onyenwe anyị, biko ekwela ka anyị
nwụọ n’ihi ọnwụ nwoke a. Biko, atụkwasịkwala ọbara nwoke a na-emeghị ihe ọjọọ
n’isi anyị, n’ihi na gị Onyenwe anyị emeela dịka i si chọọ.” 15 Ya mere, ha buliri Jona
elu tụnye ya n’ime osimiri ahụ, ebili mmiri ahụ dajụkwara. 16 Mgbe nke a mere
ndị ikom ahụ tụrụ egwu Onyenwe anyị nke ukwuu. Ha chụụrụ Onyenwe anyị aja,
kwekwa ya nkwa dị iche iche.

*Ekpere Jona*

17 Ma Onyenwe anyị akwadolarị otu azụ buru ibu ka o loo Jona. Ya mere, Jona nọrọ
n’afọ azụ ahụ ụbọchị atọ, ehihie na abalị.

## 2

1 Mgbe ahụ, Jona sitere n’afọ azụ ahụ kpeere Onyenwe anyị Chineke ekpere. 2 Ọ
sịrị,
“Esitere m n’ahụhụ m kpọkuo Onyenwe anyị,
ọ zakwara m.
N’afọ ala mmụọ ka m si tikuo gị,

į nųkwara olu akwa m.
3 Į tųnyere m n'ime mmiri dį omimi,
n'etiti oke osimiri.
Osimiri dįkwa m gburugburu,
ebili mmiri gį na mmali mmiri gį
gabigakwara m n'isi.
4 Mgbe ahų, asįrį m, 'E sitela n'ihu gį
chųpų m;
ma otu ǫ dį, aga m elegidekwa anya m ǫzǫ
n'ebe ųlǫnsǫ ukwu gį dį.'
5 Mmiri gbara m gburugburu, ruo n'olu m,
ogbu mmiri na-erikpu m.
Achara mmiri kekųkwara m n'isi.
6 Arįdaruola m n'ala ugwu ugwu nke osimiri,
ala ahų ihe ntųchi ya niile kpachitara m ruo mgbe ebighį ebi.
Ma i meela ka m si n'olulu pųta na ndų,
ONYENWE ANYį, bų Chineke m.

7 "Mgbe mmųǫ m na-ada mba n'ike n'ike,
e chetara m gį ONYENWE ANYį,
ma ekpere m bįakwutere gį,
n'ime ųlǫnsǫ ukwu gį dį nsǫ.

8 "Ndį na-arapara n'arųsį dį iche iche na-enweghį uru ha bara,
na-agbakųta ebere Chineke azų.
9 Ma ǫ bų olu abų ekele
ka mų onwe m ga-eji chųǫrǫ gį aja.
Aga m akwųghachi nkwa niile m kwere.
N'ihi na 'Nzǫpųta bų nke ONYENWE ANYį.' "
10 Mgbe ahų, ONYENWE ANYį nyere azų ahų iwu, nke mere ka ǫ gbǫpųta Jona n'ala
akǫrǫ.

# 3

### *Jona agaa Ninive*

1 Mgbe ahų, okwu ONYENWE ANYį ruru Jona ntį nke ugboro abųǫ na-asį, 2 "Bilie, jee
n'obodo ukwu ahų bų Ninive, kwusaara ya ozi ahų m ziri gį."
3 Jona biliri gaa Ninive dįka okwu nke Onyenwe anyį si dį. Ninive bų nnǫǫ obodo
dį ukwuu, nke ga-ewe ųbǫchį atǫ įga ya gburugburu. 4 Jona malitere įba n'obodo
ahų, ma mgbe ǫ gara ije otu ųbǫchį, o kwusara sį, "Iri ųbǫchį anǫ ka ǫ fǫdųrų tupu
alaa Ninive n'iyi." 5 Ndį Ninive kwenyeere na Chineke, kpǫsaa obubu ǫnų, ha niile
site n'onye ukwu ruo n'onye nta, onye ǫbųla yikwasįrį uwe mkpe.
6 Mgbe akųkǫ a rutere eze Ninive ntį, o sitere n'ocheeze ya rituo, wezuga uwe eze
ya, yikwasį uwe mkpe, nǫkwasįkwa na ntų. 7 Nke a bų nkwusa ya n'ime Ninive:
Nke a bų iwu sitere n'aka eze na ndį a maara aha ha:
"Ka mmadų ǫbųla, maǫbų anųmanų, igwe ehi maǫbų anų ųlǫ ǫbųla, ghara idetu
ihe ǫbųla n'ǫnų, ka ha ghara iri ihe maǫbų ṅųǫ mmiri. 8 Kama ka onye ǫbųla yiri
akwa mkpe, ma mmadų ma anųmanų, ka ha kpǫkusikwaa Chineke ike, ka ha sikwa
n'ųzǫ ǫjǫǫ ha chegharįa, sikwa n'ǫrų ǫjǫǫ ha na ime ihe ike ha niile chegharįa.
9 Onye maara? Ma eleghį anya, Chineke ga-ejide oke iwe ya, ma site n'ǫmįiko ya
wezuga iwe ǫkų ya si otu a mee ka anyį ghara įla n'iyi."

10 Mgbe Chineke hụrụ ihe niile ha mere, na otu ha siri site n’ụzọ ọjọọ ha niile
chegharịa, Chineke chegharịrị uche banyere ịla ha n’iyi. O mekwaghị ka nzube ya
ibibi obodo ahụ mezuo.

# 4

### *Iwe Jona n’ihi ọmịiko Onyenwe anyị*

1 Ma ihe a jọrọ Jona njọ n’obi nke ukwuu, iwe ya dịkwa ọkụ. 2 N’ihi ya, o kpeere
Onyenwe anyị ekpere sị, “O, Onyenwe anyị, nke a ọ bụghị ihe m kwuru, mgbe m nọ
n’ala m? Ọ bụ ya mere m ji chọọ ịgbalaga na Tashish na mbụ n’ihi na amaara m na
ị bụ Chineke onye na-eme amara, na onye jupụtara n’obi ebere, na onye na-adịghị
ewe iwe ọsịịsọ, nke bara ụba n’ịhụnanya, onye na-anaghị ata mmadụ ahụhụ dịka
mmehie ya siri dị. 3 Ugbu a, O, Onyenwe anyị napụ m ndụ m. Ọ ga-adị m mma ịnwụ
anwụ karịa ịdị ndụ.”
4 Ma Onyenwe anyị sịrị, “O ziri ezi na ị ga-esi otu a wee oke iwe dị ọkụ?”
5 Mgbe ahụ, Jona si n’ebe ahụ pụọ jee nọdụ ala n’akụkụ ọwụwa anyanwụ nke obodo
ahụ. O weere ahịhịa meere onwe ya ụlọ ndo, nọdụ n’ime ya, chere ka ọ hụ ihe gaje
ime obodo ahụ. 6 Ma Onyenwe anyị Chineke rọpụtara otu osisi nwere akwụkwọ
sara mbara,* nke tolitere n’elu isi Jona, ka o ghọọrọ ya ndo ịnapụta ya n’ọnọdụ ahụ
mgbakasị. Jona ṅụrịrị ọṅụ maka osisi ahụ. 7 Ma n’isi ụtụtụ echi ya, Chineke mere ka
otu ikpuru pụta nke riri osisi ahụ site n’ogwe ya, si otu a mee ka ọ kpọnwụọ. 8 O ruo,
mgbe anyanwụ wara, Chineke mere ka ifufe na-ekpo ọkụ site n’ọwụwa anyanwụ,
anyanwụ a chara Jona n’isi nke ukwuu nke mere n’ike gwụsịrị ya. Ọ rịọrọ ka ọnwụ
gbuo ya, na-asị, “ọ ga a kaara m mma na m nwụrụ anwụ, karịa na m dị ndụ.”
9 Ma Chineke sịrị Jona, “Ọ bụ ihe ziri ezi ka i wee iwe maka osisi a?”
Ọ sịrị, “E, ana m ewe oke iwe, ọ bụladị na m chọrọ ịnwụ.”
10 Mgbe ahụ Onyenwe anyị kwuru, “I nwere obi ebere n’ebe osisi a dị, nke ị na-
akụghị na nke i mekwaghị ka o too, bụ nke toro n’anyasị, nwụọkwa n’anyasị. 11 Mụ
onwe m, m ga-aghara inwe obi ebere n’ahụ obodo ukwu a dịka Ninive, nke nwere
ihe karịrị narị puku ndị mmadụ na iri puku mmadụ abụọ, bụ ndị na-amaghị nke bụ
aka nri ha maọbụ aka ekpe ha, na nke ọtụtụ anụmanụ dịkwa n’ime ya?”

* **4:6** 4:6 Emeghị ka anyị amata ụdị osisi ọ bụ ma ụfọdụ akwụkwọ na-ede osisi ogiri ugba.

# Maika

[1] Nke a bụ okwu ONYENWE ANYỊ nke bịaara Maịka, onye Moreshet, n’oge eze Jotam,
Ehaz na Hezekaya, bụ ndị eze Juda. Ọhụ nke ọ hụrụ banyere Sameria na Jerusalem.

[2] Geenụ ntị, unu ndị mmadụ, unu niile,
gee ntị, gị ụwa na ndị niile bi n’ime ya
ka Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ gbaa akaebe megide unu,
bụ Onyenwe anyị site n’ụlọnsọ ukwu ya.

*Ikpe ọmụma dịrị Sameria na Izrel*

[3] Lee! ONYENWE ANYỊ na-abịa! O si n’ebe obibi ya na-abịa.
Ọ na-abịa ma na-azọda ebe niile dị elu nke ụwa.
[4] Ugwu ukwu niile na-agbaze n’okpuru ụkwụ ya,
ndagwurugwu niile na-agbawa,
dịka abụba dị nso n’ọkụ,
dịka mmiri si n’ebe dị elu na-asọdata
[5] Ihe ndị a bụ n’ihi njehie Jekọb,
n’ihi mmehie niile nke ndị Izrel.
Gịnị bụ njehie Jekọb?
Ọ bụghị Sameria?
Gịnịkwa bụ ebe dị elu nke Juda?
Ọ bụghị Jerusalem?

[6] “N’ihi ya, aga m eme ka Sameria ghọọ mkpọmkpọ ebe,
ebe a na-akụ osisi vaịnị.*
Aga m awụnye nkume ya n’ime ndagwurugwu,
mekwaa ka ntọala ya pụta ihe.
[7] Arụsị ha niile a pịrị apị ka a ga-akụjisi;
onyinye niile a na-ewebata n’ụlọ arụsị ha ka a ga-akpọ ọkụ.
Aga m ala arụsị niile ya a kpụrụ akpụ n’iyi.
Ebe ọ bụ na e si n’aka ndị na-agba akwụna na-ewebata onyinye ndị a,
a ga-eji ha kwụọ ụgwọ ịgba akwụna.”

*Ịkwa akwa na iru ụjụ*

[8] N’ihi nke a, aga m akwa akwa, tikwaa mkpu akwa.
Aga m agbara ọtọ gbarakwa ụkwụ efu jegharịa.
Aga m akpọ mkpu dịka nkịta ọhịa,
tipụkwa ube akwa dịka ikwighịkwighị.
[9] N’ihi na ọnya ya enweghị ngwọta,
o rutela na Juda.
O ruteları ma n’ọnụ ụzọ ama nke ndị m,
rukwaarị Jerusalem.
[10] Unu ekwutela okwu ya na Gat;
unu akwakwala akwa ọbụla.
Tụrụọnụ onwe unu n’uzuzu,
unu ndị Bet-Ofra.†

* **1:6** 1:6 Ya bụ, ubi vaịnị † **1:10** 1:10 Bet-Ofra Maọbụ, Bet-Leafra nke pụtara ụlọ uzuzu

11 Gabiganụ n'ụzọ unu,
unu ndị bi na Shafia.
N'ọnọdụ ịgba ọtọ na ihere unu,
unu ndị bi na Zaanan abịakwala nso.
Ndị Bet-Ezel na-eru ụjụ
n'ihi na e wezugala ndị na-eche unu nche.
12 Ndị bi na Marot nọ n'oke ahụ mgbu
na-eche ka ihe ọma bịa,
n'ihi na mbibi esitela n'aka ONYENWE ANYỊ bịa,
ruo n'ọnụ ụzọ ama Jerusalem
13 Unu ndị bi na Lakish
kegidenụ ịnyịnya unu na-agba ọsọ n'ụgbọ agha.
Ọ bụ n'ebe ahụ ka mmehie nwaada Zayọn malitere,
n'ihi na mmehie Izrel na-eme ka a hụrụ n'etiti unu.
14 Ya mere, unu ga-enye Moreshet dị na Gat onyinye
mgbe unu na-agbapụ ọsọ.
Ụlọ Akzib ga-emesịa ghọọ ụlọ aghụghọ
nye ndị eze Izrel.
15 Aga m akpọbata onye ga-emeri unu
ndị bi na Maresha n'agha.
Ndị a na-asọpụrụ nke Izrel
ga-agbabanye n'Adulam.
16 Kpachaanụ isi unu n'ọnọdụ iru ụjụ
n'ihi ụmụntakịrị ndị ahụ ihe ha masịrị unu,
meenụ ka isi unu kwọchaa dịka isi udele,
n'ihi na a ga-achụpụ ha site n'ebe unu nọ gaa mba ọzọ.

# 2

*Nzube mmadụ na nzube Chineke*

1 Ahụhụ na-adịrị ndị na-eche ihe ọjọọ n'obi ha,
na ndị niile na-edina n'akwa ha na-eche ajọ echiche.
Mgbe chi bọrọ, ha na-arụzu ihe ha chepụtara,
n'ihi na ikike imezu ya dị n'aka ha.
2 Ha na-enwe anya ukwu n'ebe ubi ndị ọzọ dị, were ha n'aka ike,
na ụlọ dị iche iche, ha ewere ha n'ike.
Ha na-ejikwa aka ike nara ndị mmadụ ụlọ ha,
ha na-ezunara ha ihe nketa ha.
3 N'ihi nke a, ONYENWE ANYỊ na-asị,
"Lee, ana m akwado ihe ọjọọ megide agbụrụ a,
nke unu na-enweghị ike isite na ya wezuga onwe unu.
Unu agaghị eji nganga na-ejegharịkwa,
n'ihi na ọ ga-abụ oge ọjọọ.
4 N'ụbọchị ahụ ha ga-akọcha unu,
ha ga-abụrụ unu abụ iru ụjụ iji ya kọchaa unu na-asị,
'Anyị abụrụla ndị lara n'iyi,
e kesaala ihe nnweta nke ndị m,
ọ napụla m ha.
O werela ubi anyị nyefee ha n'aka ndị ahụ meriri anyị n'agha.' "

5 N'ihi ya, ọ dịkwaghị onye ga-afọdụ n'etiti ọgbakọ nke ONYENWE ANYỊ,
onye ga-eji ihe ọtụtụ kee ala ahụ site n'ife nza.

### *Ndị amụma ụgha*

6 Ndị amụma ha na-asị, “Unu ebukwala amụma.”
“Unu ebukwala amụma banyere ihe ndị a,
ihere agaghị eme anyị.”
7 Ụdị ihe a o kwesiri okwukwu, gị ụlọ Jekọb?
“Ntachiobi ONYENWE ANYỊ ọ gwụla?
Ihe ndị a ọ bụ otu o si eme?”

“Ọ bụ na okwu m adịghị eme
onye ụzọ ya ziri ezi mma?
8 Ma ọ bụ unu na-ebili megide ndị m
dịka ndị iro.
Unu na-eyipụ ndị na-agafe agafe
uwe ọma ha yi n’ahụ ha na-enweghị mmetụta,
dịka a ga-asị na unu bụ ndị si n’agha na-alọta.
9 Unu na-achụpụ ndị inyom ndị m
site n’ụlọ afọ ojuju ha.
Ụmụ ha ka unu na-anapụ ngọzị m
ruo mgbe ebighị ebi.
10 Bilienụ, pụọnụ,
n’ihi na ebe a abụkwaghị ebe izuike,
n’ihi na-emerụọla ya, e bibiela ya,
o bibikwaala, ruo na-ịrụzi ya agaghị adị ire.
11 Ọ bụrụ na otu onye abịa buoro unu amụma ụgha na-asị,
‘Aga m eburu unu amụma banyere mmanya na ihe ọṅụṅụ siri ike,’
ọ bụ onye amụma dị otu a ka ndị a chọrọ.

### *Nkwa nzọpụta*

12 “Aga m achịkọta unu niile, gị Jekọb,
aga m akpọkọta ndị niile fọdụrụ n’Izrel n’otu ebe.
Aga m akpọkọta ha dịka atụrụ n’ime ọgba anụ,
dịka igwe ewu na atụrụ n’ebe ịta nri ya,
ndị mmadụ ga-ejupụtakwa n’ebe ahụ.
13 Onye ahụ na-egbuwa ụzọ ga-anọ n’ihu na-edu ha.
Ha ga-etipukwa ọnụ ụzọ ama ahụ, ma site na ya gafee.
Eze ha ga-agabigakwa n’ihu ha,
ONYENWE ANYỊ ga-anọ n’isi.”

## 3

### *Ịba mba nye ndịisi na ndị amụma*

1 Mgbe ahụ ekwuru m sị,
“Geenụ ntị unu ndịisi ụlọ Jekọb,
na unu ndị na-achị ezinaụlọ Izrel.
Ọ bụ na unu ekwesighị ịmata ikpe ziri ezi
2 unu bụ ndị kpọrọ ezi ihe asị ma na-ahụ ajọ ọrụ n’anya.
Unu na-agba ndị m akpụkpọ na ndụ
na-agbapụkwa anụ ahụ kpuchiri ọkpụkpụ ha.
3 Unu na-erida anụ ahụ ndị nke m,
na-agba ha akpụkpọ,
na-etijisi ọkpụkpụ ha,
na-egburi anụ ahụ ha,

dịka anụ a na-esinye n’ite.”

4 Mgbe ahụ ha ga-akpọku ONYENWE ANYỊ,
ma ọ gaghị aza ha!
Mgbe oge ahụ bịaruru, ọ ga-ezo ihu ha site n’ebe ha nọ
n’ihi ihe ọjọọ nke ha mere.
5 Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru:
“Banyere ndị amụma
bụ ndị na-eduhie ndị m,
mgbe ha nwere ihe ha ga-eri,
ha na-ekwusa ‘Udo’
ma ọ bụrụ na mmadụ enyeghị ha nri,
ha na-ebili buo agha* megide onye dị otu a.
6 Ya mere n’abalị ga-abịakwasị ha, napụ ha ike ịhụ ọhụ;
ọchịchịrị ga-ekpuchi ha, ka ha ghara ịjụta ase ọbụla.
Anwụ ga-ada n’ebe ndị amụma ahụ nọ,
ụbọchị ga-agbakwa ọchịchịrị nye ha.
7 Ndị ọhụ ụzọ ka ihere ga-eme,
ndị na-ajụ ase ka a ga-emebọ.
Ha ga-ekpuchi ihu ha,
n’ihi na ọsịsa ọbụla agaghị esite n’ebe Chineke nọ bịara ha.”
8 Ma mụ onwe m, ejupụtara m n’ike,
ejupụtara m na Mmụọ nke ONYENWE ANYỊ,
jupụtakwa na mmụọ nke ikpe ziri ezi,
na nke ịdị ike ikwupụta nye Jekọb njehie ya,
na nye Izrel mmehie ya.

9 Geenụ ntị unu ndị na-achị ezinaụlọ Jekọb,
na unu ndịisi ezinaụlọ Izrel.
Ndị kpọrọ ikpe ziri ezi asị,
ma na-ewere ihe niile na-ezighị ezi n’ọnọdụ ihe ziri ezi.
10 Ndị ji ọbara wuo Zayọn,
werekwa ajọ omume wuo Jerusalem.
11 Ndịisi ya na-ekpe ikpe n’ihi ngarị,
ndị nchụaja ya na-akụzi ihe n’ihi ụgwọ,
ebe ndị amụma ya na-ajụta ase n’ihi ego.
Ma ha dabere na ONYENWE ANYỊ na-asị,
“ONYENWE ANYỊ ọ nọnyeereghị anyị?
O nweghị ihe ọjọọ ga-abịakwasị anyị.”
12 Ọ bụ n’ihi gị
ka a ga-akọgharị Zayọn dịka ala ubi,
Jerusalem ga-aghọ ebe e kpokọtara nkume na ngwongwo ụlọ dakpọrọ adakpọ,
ugwu nke ụlọnsọ ukwu ahụ ga-aghọ ebe dị elu nke oke ọhịa tochiri.

# 4

*Ugwu ONYENWE ANYỊ*

1 N’ụbọchị ikpeazụ,
ugwu nke ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, ga-abụ nke eguzobere
dịka ugwu dị elu karịa ugwu niile,

* **3:5** 3:5 N’akwụkwọ ụfọdụ ha na-ede agha nsọ

a ga-ebuli ya elu karịa ugwu nta niile,
ndị dị iche iche ga-eruba n'ime ya dịka iyi.
2 Ọtụtụ mba ga-abịa ma sịkwa,
"Bịanụ, ka anyị rigoruo ugwu ONYENWE ANYỊ,
ka anyị gaa n'ụlọnsọ ukwu Chineke nke Jekọb.
Ọ ga-akụziri anyị ụzọ* ya niile,
ka anyị nwe ike jee ije n'okporoụzọ ya niile."
Iwu ga-esi na Zayọn pụta,
okwu ONYENWE ANYỊ ga-esitekwa na Jerusalem pụta.
3 Ọ ga-ekpe ikpe dị n'etiti ndị dị iche iche,
doziekwa esemokwu dị n'etiti mba na mba ibe ya ruo ebe dị anya.
Ha ga-akpụgharịkwa mma agha ha niile, mee ka ha bụrụ mma oge,
kpụgharịkwa ùbe ha ka ha ghọọ mma ịkwacha osisi.
Mba ọbụla agakwaghị ebuli mma agha megide mba ọzọ,
maọbụ zụọ onwe ha n'ịlụ agha ọzọ.
4 Onye ọbụla ga-anọdụrụ onwe ya n'okpuru vaịnị
na n'okpuru osisi fiig ya,
n'ihi na o nweghị onye ga-eme ka ha tụọ egwu ọzọ.
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile ekwuola ya.
5 Mba dị iche iche ga-agagharị
nke ọbụla n'aha chi ya,
ma anyị onwe anyị ga na-aga n'aha ONYENWE ANYỊ,
bụ Chineke anyị ruo mgbe niile ebighị ebi.

*Nzube ONYENWE ANYỊ*

6 "N'ụbọchị ahụ," otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
"aga m achịkọta ndị ngwụrọ,
chịkọtaa ndị ahụ niile e mere ka ha biri na mba ọzọ,
na ndị ahụ niile m mere ka ha ruo ụjụ.
7 Aga m eme ka ndị ngwụrọ ahụ ghọọ ndị fọdụrụ ndụ,
meekwaa ka ndị ahụ a chụpụrụ achụpụ ghọọ mba dị ike.
ONYENWE ANYỊ ga-esi n'ugwu Zayọn chịa ha
site n'oge ahụ ruo mgbe ebighị ebi.
8 Ma gị, ebe nche e wuliri elu maka igwe atụrụ,
ugwu nke nwaada Zayọn,
ọchịchị a na-achị na mbụ ga-adịghachikwara gị;
bụ ọchịchị nke dịrị nwaada Jerusalem."

9 Gịnị mere i ji na-akwasị akwa ike?
Ọ bụ na i nweghị eze?
Onye ndụmọdụ gị ọ nwụọla
nke mere na ihe ụfụ jidere gị dịka nwanyị ime na-eme?
10 Susie ude ike, gị nwaada Zayọn,
dịka ịsụ ude nke nwanyị ime na-eme,
n'ihi na unu aghaghị ịhapụ obodo a
jee biri n'ọhịa.
Unu aghaghị ịga Babilọn,
n'ihi na ọ bụ n'ebe ahụ ka a ga-esi napụta unu.
Ebe ahụ ka ONYENWE ANYỊ ga-agbapụta unu
site n'aka ndị iro unu.

* **4:2** 4:2 Maọbụ, ụkpụrụ

11 Ugbu a, ọtụtụ mba ezukọọla
imegide gị;
na-asị, "Ka e merụọ ya
ka anya anyị ṅụọ Zayọn."
12 Ma ha amaghị
ihe bụ uche ONYENWE ANYỊ,
ha aghọtakwaghị nzube ya,
na ọ chịkọtala ha dịka ukwu ọka, na-ebuga ha n'ebe ịzọcha ọka.
13 "Bilie, zọchaa, gị nwaada Zayọn,
n'ihi na aga m enye gị mpi igwe.
Aga m enyekwa gị ụkwụ ọla bronz,
ị ga-etijisikwa ọtụtụ mba.
Uru ha niile, nke ha nwetara n'ụzọ na-ezighị ezi, ka ị ga-enye ONYENWE ANYỊ.
Akụnụba ha ka ị ga-enyekwa Chineke nwe ụwa niile."

# 5

*Onyendu si Betlehem*

1 Ugbu a doo ndị agha gị n'usoro, gị obodo nke usuu ndị agha,
n'ihi na e jirila mgbidi gbaa gị gburugburu ibuso gị agha.
Ha ga-eji mkpara
tie onyendu Izrel na nti.

2 "Ma gị onwe gị, Betlehem Efrata,
ọ bụ ezie na ị bụ obodo dị nta n'etiti ndị ikwu Juda niile,
ma onye ahụ ga-achị Izrel
ga-esi na gị pụta,
bụ onye ahụ mmalite ya sitere na mgbe ochie,
sitekwa na mgbe ebighị ebi gara aga."

3 Ya mere, a ga-arara ha nye
tutu ruo mgbe onye ahụ ime na-eme mụpụtara nwa ya.
Mgbe ahụ, ụmụnna ya niile ahụ fọdụrụ
ga-alọghachikwuru ndị Izrel.

4 Ọ ga-eguzo zụọ igwe ewu na atụrụ ya,
site n'ike nke ONYENWE ANYỊ,
na site n'ịdị ukwuu nke aha ONYENWE ANYỊ Chineke ya.
Ndị ya ga-anọkwa na-enweghị nsogbu,
n'ihi na ịdị ukwuu ya ga-eru na nsọtụ niile nke ụwa.

*Mgbapụta na Mbibi*

5 Ọ ga-abụkwa udo anyị.
Mgbe ndị Asịrịa ga-abata n'ala anyị n'ike,
sikwa n'ebe niile e wusiri ike nke anyị na-agafe,
anyị ga-ahọpụta ndị ọzụzụ atụrụ asaa,
ọ bụladị ndịisi asatọ.
6 Onye ga-eji mma agha chịa ala Asịrịa,
jirikwa mma agha a mịpụtara amịpụta chịa ala Nimrọd.
Ọ ga-anapụta anyị site n'aka ndị Asịrịa ahụ,
mgbe ha ga-eji ike bata n'ala anyị,

ma zọrọkwa ije gafee oke ala anyị.

7 Mgbe ahụ, ndị fọdụrụ afọdụ nke Jekọb
ga-adị n’etiti ọtụtụ ndị mmadụ,
dịka igirigi si n’ebe Onyenwe anyị nọ abịa,
maọbụ dịka mmiri ozuzo ntakịrị na-ezokwasị ahịhịa,
nke na-adịghị ele anya mmadụ
maọbụ chere ụmụ mmadụ.
8 Ndị fọdụrụ afọdụ nke Jekọb
ga-adịkwa n’etiti ọtụtụ ndị mmadụ
dị ka ọdụm n’etiti anụ ọhịa niile dị iche iche,
e, dịka nwa ọdụm n’etiti igwe atụrụ,
nke na-azọda na-adọkasị mgbe ọ na-agabiga,
ma o nweghị onye ga-anapụta ya.
9 Aka gị ga-adị elu na mmeri nke ndị iro ya,
a ghakwaghị ịla ndị iro gị niile n’iyi.
10 “N’ụbọchị ahụ kwa,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri,
“Aga m ala ịnyịnya unu n’iyi site n’etiti unu,
kụjisiekwa ụgbọala unu niile.
11 Aga m ala obodo niile dị n’ala unu n’iyi,
dọdasịakwa ebe unu niile e wusiri ike.
12 Aga m ala mgbaasị unu n’iyi,
unu agaghị enwekwa ndị na-ajụ mmụọ ọjọọ ase.
13 Aga m ala arụsị a pịrị apị unu niile n’iyi,
ya na nkume nsọ ahụ niile dị n’etiti unu.
Unu agakwaghị akpọ isiala nye
ihe unu ji aka unu kpụọ.
14 Aga m ehopu ogidi arụsị niile* nke dị n’etiti unu,
mgbe m ga-akụdasị obodo unu niile
15 Aga m esite n’oke iwe m na ọnụma m bọọrọ onwe m ọbọ
n’ahụ mba niile ndị ahụ jụrụ irubere m isi.”

# 6

*Ikpe ONYENWE ANYỊ megide Izrel*

1 Geenụ ntị n’ihe Onyenwe anyị na-ekwu,
“Bilienụ ọtọ, ma kwuonụ n’ihu ugwu niile ụzọ m siri mejọọ unu.
Ka ugwu nta niile nụkwa ihe i nwere ikwu.

2 “Ma ugbu a geenụ ntị, unu ugwu niile,
geenụ ntị, unu ntọala ebighị ebi niile nke ụwa,
n’ihi na ONYENWE ANYỊ nwere ikpe megide ndị nke ya.
Ọ bụkwa Izrel ka ọ ga-arụso ụka.

3 “Unu bụ ndị m, gịnị ka m mere unu?
Gwanụ m ụzọ m si boo unu ibu arọ? Zaanụ m.
4 N’ihi na e si m n’ala Ijipt kpọpụta unu.
Agbapụtara m unu site na ịbụ ohu,
nye unu Mosis
na Erọn na Miriam ka ha nyere unu aka.

---

* **5:14** 5:14 Ogidi ndị a bụ nke arụsị Ashera

5 Ndị m, chetanụ
ihe Balak eze Moab zubere
na ihe Belam nwa Beoa zara ya.
Chetanụ njem unu site n'obodo Shitim ruo obodo Gilgal,
ka unu hụ nzọpụta nke Onyenwe anyị."

6 Gịnị ka m ga-eji bịa n'ihu ONYENWE ANYỊ,
ịkpọ isiala n'ihu Chineke onye dị oke elu?
M ga-eji onyinye aja nsure ọkụ bịa n'ihu ya
nke e ji ụmụ ehi gbara otu afọ chụọ?
7 Ọ ga-atọ ONYENWE ANYỊ ụtọ, bụ ọtụtụ puku ebule,
ya na iri puku mmanụ na-asọ dịka iyi?
Aga m eji nwa mbụ m chụọ aja njehie m,
maọbụ mkpụrụ nke ahụ m chụọ aja maka mmehie nke mkpụrụobi m?
8 N'ihi na o gosila gị, gị mmadụ, ihe dị mma.
Gịnịkwa bụ ihe ahụ ONYENWE ANYỊ na-achọ n'aka gị,
Ọ bụ na ọ bụghị ikpe ziri ezi, na ịhụ ime ebere n'anya,
na iji obi dị umeala soro Chineke gị na-eje ije?

*Ahụhụ Izrel na ikpe ọmụma ya*

9 Gee ntị! Olu ONYENWE ANYỊ na-ada na-akpọku ndị obodo ahụ,
n'ezie, ịtụ egwu gị bụ inwe amamihe.
"Nụrụnụ olu mkpanaka na Onye hiwere ya.
10 Ọ ga-abụ na m ga-echezọ akụ ị kpara n'ụzọ na-ezighị ezi, gị ụlọ ajọ omume,
ya na ihe ọtụtụ nke na-erughị eru unu ji ere ahịa, bụ nke abụrụ ọnụ?
11 M ga-asị onye na-eji ihe ọtụtụ aghụghọ azụ ahịa,
na onye bu akpa nke ihe ọtụtụ aghụghọ dị iche iche juru n'ime ya na aka ya dị ọcha?
12 Ndị ọgaranya unu bụ ndị na-eme ihe ike,
ndị mmadụ nọ n'ime gị na-agha ụgha,
ire ha na-ekwu naanị okwu aghụghọ.
13 N'ihi ya, ebidola m ịla unu n'iyi,
na ime ka unu bụrụ ndị e bibiri n'ihi mmehie unu
14 Unu ga-eri nri ma afọ agaghị eju unu;
afọ agaghị ejukwa unu eju.
Unu ga-ewezuga ihe, ma unu agaghị echekwa ha,
n'ihi na ihe ọbụla unu nwere ike chekwaa, ka m ga-ewere nyefee n'aka mma agha.
15 Unu ga-akụ mkpụrụ, ma unu agaghị ewe ihe ubi,
unu ga-azọchapụta mmanụ oliv, ma unu agaghị ete ya n'ahụ unu;
unu ga-azọchapụtakwa mmanya site na mkpụrụ vaịnị, ma unu agaghị aṅụ mmanya ya.
16 Unu edebela ụkpụrụ niile bụ nke Omri,
na omenaala niile nke ụlọ Ehab,
unu gbasokwara ndụmọdụ ha niile.
N'ihi ya, aga m enyefe unu n'aka mbibi
mee ka ndị gị ghọọkwa ihe ọchị,
unu ga-aghọkwara mba niile ihe nkọcha."

# 7

*Nhụju anya nke Izrel*

1 Ahụhụ dịrị m!
Adị m ka onye na-achịkọta mkpụrụ osisi vaịnị n’ọkọchị,
mgbe a ghọkọtachara mkpụrụ dị n’ubi vaịnị.
O nweghị ụyọkọ mkpụrụ vaịnị ọbụla fọdụrụ nke e nwere ike ịta,
o nwekwaghị mkpụrụ fiig buru ụzọ chaa nke agụ ya na-agụsị m ike
2 Ndị ezi omume agwụla n’ụwa,
ọ dịkwaghị otu onye na-eme ihe ziri ezi fọdụrụ.
Ha niile na-echere oghere ịkwafu ọbara,
ha ji ụgbụ na-achụta nta, onye ọbụla na-achụ ụmụnne ya.
3 Ọrụ nke aka ha abụọ na-arụpụta nke ọma bụ ajọ omume.
Onyeisi na-ana onyinye,
onye ọkaikpe na-eri ngarị,
ndị dị ike na-atụpụta ihe masịrị ha,
si otu a na-akpagbu eziokwu.*
4 Onye nke kachasị ibe ya ịdị mma n’ime ha dịka uke.
Onye nke na-eme ihe ziri ezi n’ime ha jọrọ njọ karịa ogige ogwu.
Ma ugbu a, ụbọchị Chineke na-eleta gị abịala,
ụbọchị ahụ ndị nche gị na-akụ ekwe ịdọ aka na ntị.
Ugbu a bụ oge ihe ịgba gharịị nye ha.
5 Ekwenyerela onye agbataobi gị,
atụkwasịla onye bụ ezi enyi gị obi.
Kpachara anya gị, n’ihe gbasara okwu ọnụ gị,
ọbụla dị n’ebe nwunye gị nọ.
6 N’ihi na nwa na-eleli nna ya anya.
Nwa nwanyị na-ebili megide nne ya.
Nwunye nwa megidekwa nne di ya,
ndị iro mmadụ bụ ndị ezinaụlọ ya.

7 Ma mụ onwe m, ana m ele ONYENWE ANYỊ anya n’ihi inyeaka ya.
Eji m olileanya na-echere Chineke Onye nzọpụta m.
Chineke m ga-anụ olu m.

*Izrel ga-ebili*

8 Achịkwala m ọchị gị onye iro m.
Mgbe m dara, aga m ebilitekwa.
Mgbe m nọ n’ime ọchịchịrị,
ONYENWE ANYỊ n’onwe ya ga-abụ ihe m.
9 N’ihi na m emehiela megide ya,
aga m anabatara onwe m ahụhụ nke ọnụma ONYENWE ANYỊ,
tutu ruo mgbe ọ ga-ekpe ikpe m,
mee ka m guzosie ike.
Ọ ga-akpọpụta m n’ìhè;
aga m elekwasịkwa ezi omume ya anya.
10 Mgbe ahụ, ndị iro m ga-ahụ,
ihere ga-ekpuchi
onye ahụ sịrị m,
“Olee ebe ONYENWE ANYỊ Chineke gị ahụ nọ.”
Aga m eji anya m hụ mgbe ọ ga-ada,
ọ bụladị dịka e si na-azọ ya ụkwụ,
dịka apịtị dị n’okporoụzọ.

---

* **7:3** 7:3 Maọbụ, ikpe ziri ezi

11 Ụbọchị a ga-ewughari mgbidi gị niile na-abịa;
ụbọchị a ga-eme ka oke ala gị saa mbara.
12 N'ụbọchị ahụ, ha ga-abịakwute gị,
site na Asịrịa ruo na obodo niile nke Ijipt,
sitekwa n'Ijipt ruo Yufretis,
site n'osimiri ruo osimiri,
sitekwa n'ugwu ruo n'ugwu.
13 Ma ụwa ga-aghọ ebe tọgbọrọ n'efu n'ihi ndị bi n'ime ya,
iji kwụọ ha ụgwọ ihe ọjọọ niile ha mere.

*Ekpere na otuto*

14 Were mkpanaka gị zụọ ndị gị,
bụ igwe ewu na atụrụ nke ihe nketa gị,
ndị bi naanị ha n'oke ọhịa,
n'ebe ịta nri nke ahịhịa ndụ jupụtara.
Kwere ka ha taa ahịhịa ndụ nke Bashan, na nke Gilead,
dịka na mgbe ochie.

15 "Dịka n'ụbọchị ahụ unu sitere n'Ijipt pụta,
aga m egosi ha ọrụ ịtụnanya m niile."

16 Mba dị iche iche ga-ahụ ya, ihere ga-emekwa ha,
n'ime ịdị ike ha niile.
Ha ga-ekpuchi aka n'ọnụ ha,
ntị ga-echikwa ha.
17 Ha ga-aracha aja dịka agwọ,
na dịka anụ dị iche iche, nke na-akpụ akpụ n'ala.
Ha ga-eji ịma jijiji si n'ebe ha e wusiri ike pụta.
N'ihi egwu ha, ha ga-abịakwute ONYENWE ANYỊ bụ Chineke anyị.
Ha ga-atụkwa egwu gị.
18 Onye bụ chi ahụ dịka gị,
nke na-agbaghara ma na-ehichapụ mmehie na njehie
nke ndị fọdụrụ afọdụ n'etiti ihe nketa gị?
Ị naghị anọgide na-ewe iwe ruo mgbe ebighị ebi,
kama ị bụ onye ọ na-atọ ụtọ inwe obi ebere.
19 Ọ ga-emekwara anyị ebere ọzọ.
Ọ ga-azọdakwa mmehie anyị n'okpuru ukwu ya,
Ị ga-atụbakwa mmehie anyị niile n'ebe dịkarịsịrị omimi nke oke osimiri.
20 Ị ga-egosi Jekọb ntụkwasị obi,
gosikwa Ebraham ịhụnanya gị,
dịka ị ṅụọrọ nna nna anyị ha n'iyi,
site na mgbe ochie.

# Nehum

[1] Amụma banyere obodo Ninive. Akwụkwọ ọhụ Nehum, onye obodo Elkosh.

*Iwe ONYENWE ANYỊ megide Ninive*

[2] ONYENWE ANYỊ bụ onye ekworo, bụrụkwa Chineke na-abọ ọbọ.
ONYENWE ANYỊ na-aga ịbọ ọbọ, ọnụma jukwara ya obi.
ONYENWE ANYỊ na-abọ ọbọ n’ahụ ndị iro ya,
oke ọnụma ya na-adịgidekwa megide ndị iro ya.
[3] ONYENWE ANYỊ adịghị ewe iwe ọsịịsọ; ma ọ bụ onye ike ya dị ukwuu,
ONYENWE ANYỊ agaghị ahapụ onye ikpe mara ka ọ laa na-enweghị ntaramahụhụ.
Ụzọ ya dị n’oke ikuku, na n’oke ifufe,
igwe ojii bụ uzuzu nke ụkwụ ya.
[4] Ọ na-abasiri oke osimiri mba ike, mee ka ọ taa,
o mekwaala ka osimiri niile takọrọ.
Bashan na Kamel na-akpọnwụ,
otu a kwa, n’osisi ndụ jupụtara Lebanọn na-achanwụsị.
[5] N’ihu ya, ugwu niile na-eme mkpọtụ,
ugwu nta niile na-agbazekwa,
elu ụwa niile na-amakwa jijiji n’ihu ya,
ọ bụladị ụwa dum, na ndị niile bi n’ime ya.
[6] Onye ga-eguzogide oke iwe ya?
Ọ bụkwa onye ga-eguzosi ike n’iwe ya dị ọkụ?
A wụpụla ọnụma ya dịka ọkụ,
e tipịasịala nkume niile ndị ahụ n’ihu ya.

[7] ONYENWE ANYỊ dị mma.
Ọ bụ ebe mgbaba n’ụbọchị nsogbu.
Ọ na-elekọta ndị niile na-atụkwasị ya obi,
[8] ma ọ ga-eji idee mmiri dị ukwuu
gbuo ndị iro ya* niile,
ọ ga-achụba ndị iro ya n’ọchịchịrị.

[9] Kedụ izu ọjọọ unu na-agba megide ONYENWE ANYỊ
ọ ga-eweta ihe niile n’isi njedebe;
nsogbu agaghị abịakwa nke ugboro abụọ.
[10] Ha ga-abụ ndị a tụhịkọtara n’etiti ogwu,
ndị mmanya ha ṅụbigara oke na-egbu,
ha ga-ala n’iyi dịka ahịhịa kpọrọ nkụ.
[11] Ọ bụ n’ime gị, Ninive, ka otu onye si pụta,
bụ onye ahụ gbara izu ọjọọ megide Onyenwe anyị,
na-echepụtakwa ajọ atụmatụ.
[12] Ihe a ka ONYENWE ANYỊ kwuru,
“Ọ bụ ezie na ha siri ike, ma bakwaa ụba n’ọnụọgụgụ,
ha ga-abụ ndị a ga-egbutu na ndị ga-agabiga.
Ọ bụ ezie na m ataala gị bụ Juda ahụhụ,
ma agaghị m atakwa gị ahụhụ ọzọ.

* **1:8** 1:8 Ọ bụ Ninive ka a na-ekwu ihe banyere ya n’ebe

13 Ugbu a, aga m agbajipụ agbụ yoku ọ nyanyere unu n’olu,
tibikwaa ụdọ igwe e jiri kegide unu.”

14 ONYENWE ANYỊ enyela iwu ya banyere gị, Ninive:
“Ị gaghị enwekwa ụmụ ụmụ ndị ga-aza aha gị.
Aga m ala arụsị unu niile a pịrị apị na ndị a kpụrụ akpụ n’iyi,
bụ arụsị ndị ahụ dị n’ụlọnsọ nke chi unu niile.
Aga m akwadokwa ili gị,
n’ihi na ị bụrụla onye jọgburu onwe ya na njọ.”

15 Lee, n’elu ugwu niile
ka ụkwụ onye ahụ na-eweta oziọma dị,
bụ onye ahụ na-ekwusa na udo ga-adị!
Mee mmemme gị niile gị Juda,
mezukwaa nkwa niile i kwere.
N’ihi na ndị ajọ omume agakwaghị ebuso gị agha,
n’ihi na a ga-ala ha n’iyi kpamkpam.

# 2

*Ninive ga-ada*

1 Onye na-ebuso gị agha na-abịakwasị gị.
Chee ebe gị niile e wusiri ike nche.
Chee ụzọ niile nche,
mee ka ụkwụ gị sie ike n’ala.
Chịkọtakwa ike gị niile.

2 ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ịma mma Jekọb laghachi,
dịka ịma mma nke Izrel
ọ bụ ezie na ndị mbibi ebibiela ha,
lakwaa alaka osisi vaịnị ha niile n’iyi.

3 Ọta ndị agha ya na-acha ọbara ọbara,
ndị bụ dike n’agha yikwa uwe na-acha uhie uhie.
Igwe e ji wuo ụgbọ agha na-egbu amụma
n’ụbọchị ahụ ha na-ejikere agha,
otu a kwa, ha na-efegharịkwa ùbe ha eji osisi fịa mee.
4 Ụgbọ agha na-eme mkpọtụ dị ukwuu n’ezi,
ha na-agbagharị ihu na azụ n’ama niile.
Ha na-enwu dịka ire ọkụ,
na-agbagharịkwa dịka amụma.

5 Ọ na-akpọkọta ndị agha ya a zụziri azụzi,
ma ha na-asọ ngọngọ n’ije ha.
Ha ji ọsọ gbaga ruo n’elu mgbidi ha,
dozie ọta nche ha niile n’usoro.
6 Ma e megheela ọnụ ụzọ ama nke osimiri,
ụlọeze na-amakwa jijiji.
7 E nyela ya ka ọ bụrụ iwu na obodo a
aghaghị ịbụ obodo a dọtara n’agha.
Ndị ohu ha ndị inyom so ha n’azụ na-akwa akwa dịka nduru,
na-etikwa aka n’obi.

8 Ninive dịka ọdọ mmiri
nke mmiri ya na-ehifusị.
“Kwụsị! Kwụsị!” ka ha na-ebe,
ma ọ dịghị onye ga-ele anya n’azụ.
9 Kwakọrọnụ ọlaọcha,
kwakọrọnụ ọlaedo dịka ihe a kwatara n’agha.
Akụnụba dị n’ụlọakụ ya na ihe ndị ọzọ bara uru n’obodo ahụ,
enweghị ọgwụgwụ.
10 E bibiela ya. A gbahapụla ya, hapụ ya ka ọ tọgbọrọ n’efu.
Obi ndị nọ n’ime ya na-alọ mmiri, ikpere ha niile na-ama jijiji,
anụ ahụ ha niile na-amakwa jijiji, ihu niile achaghariạkwala.

11 Ebeekwa ka ọgba ọdụm ahụ dị ugbu a,
bụ ebe ahụ ha na-anọ enye ụmụ ha nri,
ebe oke ọdụm na nne ọdụm na-ejeghari,
na ebe ụmụ ọdụm na-anọ na-atụghị egwu ihe ọbụla?
12 Ọdụm ahụ na-adọgbu anụ na-ezuru ụmụ ya,
nke na-anyagburu nne ọdụm anụ,
na-ekpoju anụ ọ dọgbutara n’ụlọ ya niile.
Ebe obibi ya jupụtara n’anụ ọ dọgburu.

13 “Edoola m onwe m imegide gị,”
otu a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri,
“Aga m esure ụgbọala gị niile n’anwụrụ ọkụ,
mma agha ga-ala ụmụ ọdụm gị niile n’iyi.
Agaghị m ahapụkwara gị anụ ọbụla ị ga-adọgbu n’ụwa.
A gaghị anụkwa
olu ndị ozi gị ọzọ.”

# 3

*Ahụhụ dịrị Ninive*
1 Ahụhụ dịrị obodo ọbara,
nke jupụtara n’ụgha,
na ihe e zutere n’ohi.
Ọ dịghị mgbe ị na-adịghị adọgbu.
2 Ụda ụtarị,
ụda ụkwụ ụgbọ ịnyịnya,
ikiri ụkwụ ịnyịnya na-agba ọsọ,
na mkpọtụ nke ụgbọ ịnyịnya agha!
3 Ndị agha ịnyịnya,
na-agbagharị na-efegharị mma agha na-egbu amụma,
na ùbe ha na-egbuke egbuke.
Ndị e gburu egbu dị ọtụtụ,
ntụkọta ozu tọgbọrọ ebe niile,
ozu a na-enweghị ike ịgụta ọnụ,
ndị mmadụ na-asọ ngọngọ mgbe ha na-azọkwasị ozu ụkwụ na-agafe.
4 Ihe ndị a mere n’ihi enweghị afọ ojuju nke agụụ nke onye na-akwa iko,
onye ji mma ile anya, nwanyị nwe mgbaasị dị iche iche,
onye ji mba dị iche iche n’agbụ site n’ịgba akwụna ya,
na ọtụtụ mmadụ dị iche iche site na mgbaasị ya.

5 “Edoola m onwe m imegide gị,” otu a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri.
“Aga m ekpughepụ uwe gị, jiri ya kpuchie gị ihu,
si otu a gosi mba niile nke ụwa ọtọ gị.
Ihere ga-emekwa gị n’ihu alaeze niile.
6 Aga m awụkwasị gị ihe arụ dị iche iche,
meso gị mmeso onye e ledara anya,
mekwaa ka ị bụrụ ihe ilere anya nye mmadụ niile.
7 Ndị niile hụrụ gị ga-agbara gị ọsọ na-asị,
‘Ninive aghọọla ihe lara n’iyi, onye ga-eru ụjụ n’ihi ya?’
Ebee ka m ga-achọta onye ga-akasị gị obi?”

8 Ị dị mma karịa Tibs,
bụ obodo dị n’ọnụ mmiri Naịl,
nke mmiri gbara gburugburu?
Osimiri ahụ bụ ihe o ji echebe onwe ya,
mmiri ahụ bụkwa mgbidi gbara ya gburugburu.
9 Kush* na Ijipt bụ agbamume ya nke na-enweghị ọgwụgwụ,
Put na Libịa sokwa bụrụ ndị enyemaka ya.
10 Ma otu ọ dị, ebugara ya n’ala ndị ọzọ
dịka ohu a dọtara n’agha.
A tụpịasịrị ụmụ ya a mụrụ ọhụrụ n’elu nkume,
nke dị n’isi okporoụzọ ya niile.
E fekwara nza iji kesaa ndị ya niile a na-asọpụrụ,
e kekwara ndị ukwu ya niile mkpọrọ igwe.
11 Gị onwe gị ga-aṅụbigakwa mmanya oke,†
ị ga-abụ onye zoro onwe ya ezo,
ma chọkwa ebe mgbaba n’ihi ịgbanarị ndị iro gị.

12 Ebe gị niile e wusiri ike dịka osisi fiig
nke mkpụrụ mbụ ya chara n’elu ya.
Ma mgbe a kwagharịrị ya
mkpụrụ ndị ahụ na-adaba n’ọnụ onye na-eri ya.
13 Lee ndị agha gị,
ha niile bụ ụmụ nwanyị n’etiti gị.
E megheela ọnụ ụzọ ama nke ala gị niile
nye ndị iro gị.
Ọkụ erepịakwala na mkpọrọ e ji akpọchi ọnụ ụzọ unu niile.

14 Seta mmiri maka oge nnọchibido,
mee ka ebe gị niile nke ewusiri ike siekwa ike karịa.
Gwupụta ụrọ,
zọta aja, jiri ụrọ ndị ahụ
kpụtakwa aja,‡ rụzikwaa ụlọ ahụ.
15 N’ebe ahụ ka ọkụ ga-erechapụ gị,
mma agha ga-egbutu gị.
Ọ ga-eripịa gị dịka igurube si erichapụ ihe niile dị ya n’ihu.
Ọ bụladị ma i mee onwe gị ka i hie nne dịka ụkpana,
maọbụ mụbaa dịka igurube.

* **3:9** 3:9 Ya bụ, Itiopia † **3:11** 3:11 Ga-adagbugharị dịka onye mmanya na-egbu ‡ **3:14** 3:14 Lit. Blọk brik

16 Ị meela ka ndị ahịa gị mụbaa n’ọnụọgụgụ,
baa ụba karịa kpakpando dị n’eluigwe,
dịka igurube ha na-eripịa ala ahụ,
gbasaa nku ha efelaga
17 Ndị nche gị bara ụba igurube,
ndị ode akwụkwọ gị dịkwa ukwuu n’ọnụọgụgụ dịka igwe igurube
na-ebekwasị n’elu mgbidi n’ụbọchị oyi.
Ma mgbe anyanwụ wara, ha na-efelaga;
ọ dịkwaghị onye maara ebe ha feere gaa.

18 Eze ndị Asịrịa, ndị ọzụzụ atụrụ§ gị na-ero ụra,
ndị unu a na-asọpụrụ adaala n’ụra ọnwụ.
Ndị gị niile agbasasịala n’elu ugwu niile,
ọ dịkwaghị onye ha nwere nke ga-achịkọta ha.
19 Ọ dịghị ihe nwere ike ime ka i si n’ọnọdụ ị nọ ugbu a biliekwa.
N’ihi na ọnya dị gị n’ahụ ga-egbu gị.
Ndị niile nụrụ ihe dakwasịrị gị
ga-eji ọṅụ kụọ aka ha,
n’ihi na onye ka mmadụ ahụ bụ
nke na-anụrụghị ụfụ nke enweghị obi ebere gị?

§ **3:18** 3:18 Maọbụ, ndị ndu

# Habakuk

1 Nke a bụ ozi Habakuk onye amụma natara.

### *Mkpesa Habakuk*

2 ONYENWE ANYỊ, ruo ole mgbe ka m ga-anọgide na-eti mkpu
ma ị dịghị ege ntị?
Ruo ole mgbe ka m ga na-etiku gị na-asị, "Ihe ike, ihe ike!"
ma ị dịghị azọpụta?
3 N'ihi gịnị ka i ji eme m ka m na-ahụ ihe ọjọọ?
Gịnị mere i ji anagide mmegbu?
Mbibi na ihe ike dị n'ihu m,
na ịlụ ọgụ, na esemokwu jupụtakwara ebe niile.
4 N'ihi ya, iwu na-ada mba,
ikpe ziri ezi adịghị agakwa n'ihu.
Ndị ajọ mmadụ na-agba ndị ezi omume gburugburu,
nke mere ka ikpe ziri ezi ghọọ ihe gbagọrọ agbagọ.

### *Ọsịsa ONYENWE ANYỊ*

5 "Legide mba niile anya, ka i hụ.
Lee, ka o ju gị anya nke ukwuu.
N'ihi na agaje m ime ihe n'ụbọchị ndụ unu,
nke unu na-agaghị ekwenye,
ọ bụladị ma akọọrọ unu ya.
6 N'ihi na lee, agaje m ime ka ndị Kaldịa bilie,
bụ mba ahụ na-adịghị eme ebere, na ndị na-eme ngwangwa.
Ha bụ ndị na-ebu agha na-ejegharị na mba niile,
ndị na-esite n'aka ike na-enweta ebe obibi nke na-abụghị nke ha.
7 Ha bụ mba a na-atụ ụjọ, na ndị dịkwa egwu.
Ha bụ iwu nye onwe ha, ihe ha tụpụtara ka ha na-eme.
Ọ bụ onwe ha ka ha na-ebuli elu.
8 Ịnyịnya ha nwere ụkwụ nkọ karịa agụ.
Ha na-akpa ike karịa nkịta ọhịa nke na-ejegharị n'anyasị.
Ndị ịnyịnya agha ha na-awụ ọsọ,
ndị ha na-agba ịnyịnya na-esitekwa ebe dị anya na-abịa.
Dịka ugo nke na-efedata i buru nri ọ ga-eri.
9 Ha niile na-abịa ime ihe ike.
Ha ji ọsọ na-abịa dịka oke ifufe nke ọzara.
Ha na-abịa ịchịkọta ndị a dọtara n'agha dịka ha bụ uzuzu.
10 Ha na-akwa ndị eze emo,
jirikwa ndịisi ọchịchị na-eme ihe ọchị.
Ha na-achị ebe niile e wusiri ike ọchị,
na-ekpokọtakwa aja n'azụ mgbidi niile ịlụta ha n'agha.
11 Mgbe ahụ, ha na-esi n'ebe ahụ gabiga dịka ifufe, na-agabigakwa
ndị mehierenụ, bụrụkwa ndị ikpe mara, ndị ike ha bụ chi ha."

### *Mkpesa Habakuk nke ugboro abụọ*

12 ONYENWE ANYỊ, Ọ bụ na ị dịghị site mgbe niile ebighị ebi?
Chineke m, na Onye Nsọ m, Ị gaghị anwụ.
Gị, ONYENWE ANYỊ, họpụtara ha maka ikpe ikpe.

Gị, oke nkume m, emeela ka ha bụrụ ndị ga-enweta ahụhụ.
13 Ma anya gị dị ọcha nke ukwuu, na ọ dịghị elekwasị ajọ ihe anya;
ị naghị anabatakwa mmegbu.
Ma gịnị mere i ji gba ndị aghụghọ nkịtị?
Gịnị mere i ji gba nkịtị mgbe ndị ajọ omume na-eloda
ndị bụ ndị ezi omume karịa ha?
14 I meela ndị mmadụ ka ha dịrị ka azụ nke osimiri,
e, dịka anụ na-akpụ akpụ nke oke osimiri, nke na-enweghị onye na-achị ha.
15 Onye iro nke ajọ omume juru obi, na-eji nko ya na-egbu ha.
Ọ na-ejikwa nko ụgbụ ya na-ejide ha.
Ọ na-achịkọta ha n'ụgbụ ya,
si otu a na-aṅụrị ọṅụ, ma na-etegharịkwa egwu ọṅụ.
16 N'ihi nke a, ọ na-achụ aja
na-esurekwa ihe nsure ọkụ na-esi isi ụtọ nye ụgbụ ya,
n'ihi na ọ bụ ụgbụ ya na-eme ka ọ na-ebi ezi ndụ,
na-erikwa nri kachasị mma
17 Ọ ga-aga n'ihu mgbe niile na-awụpụ ihe o ji ụgbụ ya gbute
na-ala mba niile n'iyi, dịka o si masị ya, na-egosighị obi ebere ọbụla?

## 2

1 Aga m arịgoro n'elu ebe nche m,
guzo onwe m n'ebe nchekwa ahụ.
Aga m echerekwa ịhụ ihe ọ ga-agwa m,
na ihe m ga-asa, banyere mkpesa ndị a.

### *Ọsịsa* ONYENWE ANYỊ

2 Mgbe ahụ ONYENWE ANYỊ zara m sị,
"Dee ọhụ* ahụ n'elu mbadamba nkume e ji ede ihe.
Depụta ya nke ọma,
ka onye na-agba ọsọ nwee ike ịgụ ya.
3 N'ihi na e nwere ọhụ nke ga-adị ruo oge a kara aka,
ọ na-ekwu banyere oge ọgwụgwụ,
Ọ gaghị abụkwa ụgha.
Ọ bụrụ na ọ dịka mmezu ya adịghị abịaru ọsịịsọ, chere mmezu ya,
n'ihi na ọ ga-emesịa mezuo,
ọ gaghị anọ tee aka.

4 "Lee, onye iro na-afụli onwe ya elu;
ọchịchọ ya ezikwaghị ezi
ma onye ezi omume ga-esite n'okwukwe† ya dị ndụ.
5 N'ezie, mmanya‡ na-eduhie ya ụzọ,
onye jupụtara na nganga, na-adịghị enwe ezumike.
Ebe ọ bụ na o nwere anya ukwu dịka ala mmụọ,
ọ gaghị enwekwa afọ ojuju dịka ọnwụ.
N'ihi na ọ na-achịkọta mba niile nye onwe ya,
ọ na-adọtakwa ọtụtụ ndị mmadụ n'agha.
6 "Ndị a niile ha agaghị eji ịkwa emo na nkọcha sị ya,
" 'Ahụhụ dịrị onye ahụ na-atụkọta ihe e zutere n'ohi,

* **2:2** 2:2 Ya bụ, ọsịsa † **2:4** 2:4 Maọbụ, ikwesi ntụkwasị obi ‡ **2:5** 2:5 N'akwụkwọ ụfọdụ ihe ị ga-ahụ bụ akụnụba.

ruo ole mgbe ka ị ga-anọ na-eme onwe gị ọgaranya
site n’ịnara ndị mmadụ ụgwọ n’ike?’
7 Ọ bụ na ndị i ji ụgwọ agaghị abịakwasị gị na mberede?
Ọ bụ na ha agaghị eteta n’ụra, mee gị ka ị maa jijiji?
Mgbe ahụ ka ha ga-eji gị mee ihe ha chọrọ.
8 N’ihi na ị kwakọtala akụ nke ọtụtụ mba dị iche iche,
ndị ahụ fọdụrụ ga-abịakwa kwakọrọ ihe niile i nwere.
N’ihi na ị wụsịala ọbara ndị mmadụ,
i bibiela ọtụtụ ala na obodo na ndị niile bi n’ime ha.

9 “Ahụhụ na-adịrị onye ahụ na-ewu ụlọ ya site n’uru ọjọọ,
nke na-ewukwasị akwụ ya n’ebe dị elu,
n’ihi ịgbanarị mbibi nke ga-abịa.
10 I sitela n’izuzu ọjọọ gị mee ka mbibi bịakwasị ọtụtụ mmadụ,
sị otu a tufuo ndụ gị, ma wetakwara ezinaụlọ gị ihere.
11 Ọ bụladị nkume ahụ e ji wuo mgbidi ga-eti mkpu megide gị.
Osisi e ji doo elu ụlọ ga-etikwa mkpu akwa za nkume ndị ahụ.

12 “Ahụhụ dịrị onye ahụ na-eji ọbara ewu obodo,
nke na-ejikwa ajọ omume eme ka obodo ahụ guzosie ike.
13 Ọ bụ na ọ bụghị uche Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile,
na ndọgbu n’ọrụ niile nke mmadụ bụ na nkịtị, ihe e ji afụnwu ọkụ,
na oke ọrụ niile nke mba dị iche iche bụ ihe lara n’iyi?
14 N’ihi na ụwa niile ga-ejupụta na ihe ọmụma nke ebube Onyenwe anyị,
dịka mmiri si ekpuchi oke osimiri.

15 “Ahụhụ dịrị onye ahụ na-enye onye agbataobi ya mmanya,
nke na-anọgide na-agbanyere ya mmanya tutu ruo mgbe mmanya bidoro igbu ya,
ka o si otu a hụ ọtọ ya anya.
16 Ihere ga-anọchi otuto na nsọpụrụ i nwere.
Ṅụọ ka ị bụrụ onye mmanya na-egbu.
N’ihi na iko dị n’aka nri Onyenwe anyị na-abịakwute gị.
Ihere ga-anọchikwa anya otuto gị.
17 Ihe ike ahụ i mere Lebanọn ga-abịakwasịkwa gị.
Mbibi i bibiri anụmanụ dị iche iche ga-emekwa ka egwu ju gị obi.
N’ihi na ị wụsịala ọbara ọtụtụ mmadụ,
bibie ala na obodo dị iche iche, bibiekwa ndị niile bi n’ime ha.

18 “Gịnị bụ uru arụsị bara ebe ọ bụ aka mmadụ kpụrụ ya?
Kedụ uru igwe a kpụrụ akpụ bara, bụ nke na-ekwu okwu ụgha?
N’ihi na onye na-atụkwasị ha obi na-atụkwasị obi ya n’ihe ahụ aka ya rụpụtara,
n’ihi na ọ bụ arụsị na-enweghị ike ikwu okwu ka o mere.
19 Ahụhụ dịrị onye ahụ na-agwa osisi okwu sị, ‘Dịrị ndụ.’
Ma ọ bụ nkume nke na-apụghị ikwu okwu, ‘Teta n’ụra.’
O nwere ike izi mmadụ ihe?
Lee, ọ bụ ihe eji ọlaọcha na ọlaedo machie,
ma ọ dịghị nkuume ọbụla dị n’ime ya.”

20 Ma Onyenwe anyị nọ n’ime ụlọnsọ ukwu ya.
Ya mere, ka ụwa niile dere duu n’ihu ya.

# 3

*Ekpere Habakuk*

1 Nke a bụ ekpere Habakuk onye amụma kpere. Ọ dị n'usoro *Shiginot.* Nke a bụ ihe
o kwuru.
2 ONYENWE ANYỊ anụla m ihe niile e kwuru banyere ude gị.
Ịdị ukwuu nke ọrụ gị niile na-emekwa ka m dere duu n'egwu n'ihu gị, ONYENWE ANYỊ.
Mekwaa ya ọzọ n'oge nke anyị,
mekwaa ka anụ akụkọ ya n'ọgbọ anyị.
N'oke iwe gị chetakwa ebere.

3 Chineke si na Teman bịa,
Onye Nsọ ahụ sikwa n'ugwu Paran.
Sela
Ebube ya na-ekpuchi eluigwe,
otuto ya jupụtakwara n'ụwa.
4 Ịma mma ya na-achapụta dịka ihe anyanwụ ụtụtụ,
ihe na-enwupụta site n'aka ya,
ọ bụkwa n'ebe ahụ ka e zoro ike ya.
5 N'ihu ya ka ajọ ọrịa na-efe efe na-aga,
oke mbibi na-esokwa ya n'azụ.
6 O guzoro ọtọ yọgharịa ụwa;
o lere anya, mee ka mba niile maa jijiji.
Ugwu ukwu ochie ahụ niile dara,
ugwu nta ochie ndị ahụ dakwara.
N'ihi na ụzọ ya ga-adịgide ruo mgbe niile ebighị ebi.
7 Ahụrụ m ụlọ ikwu nke Kushan ka ha nọ ọnọdụ ụbọchị ọjọọ,
na ebe obibi ndị Midia ka ha nọ na oke ahụ ụfụ.

8 Ọ bụ osimiri, ka gị bụ ONYENWE ANYỊ were iwe megide?
Ọnụma gị, ọ dị ukwuu megide iyi niile?
Oke iwe gị ọ bụ megide oke osimiri
mgbe ị nọkwasịrị n'elu ịnyịnya gị,
nakwa n'elu ụgbọ ịnyịnya ị wetara ndị nke gị mmeri?
9 I kpughepụrụ ụta gị,
kpọọ oku ka a chịtara gị ọtụtụ àkụ.
Sela
I ji osimiri dị iche iche kewaa ụwa.
10 Mgbe ugwu niile hụrụ gị ha nyagharịrị onwe ha n'ihi ihe mgbu bịakwasịrị ha.
Oke mmiri ozuzo gabigakwara.
Ogbu mmiri mere ka olu ya daa ụda,
buliekwa ebili mmiri elu.

11 Anyanwụ na ọnwa guzokwara duu na mbara eluigwe,
mgbe ha hụrụ ihe nke àkụ gị,
mgbe ha hụrụ amụma nke ùbe gị gburu.
12 I sitere n'ọnụma gị zọgharịa ije n'ụwa,
sitekwa n'iwe gị zọchaa mba dị iche iche dịka ọka.
13 Ị pụtara ịzọpụta ndị gị,
ịzọpụta onye ahụ i tere mmanụ.
Ị zọpịara isi onyendu nke ala ajọ omume ahụ,

gbawa ya ọtọ site n’isi ruo n’ụkwụ.
14 Ọ bụ ùbe ya ka i ji mawaa ya isi,
mgbe ndị dike n’agha ya bịara dịka oke ifufe ịchụsa anyị,
mgbe ha si n’obi ụtọ ha chee na ha na-aga iripịa ndị ogbenye e wedara n’ala,
bụ ndị na-ezo onwe ha.
15 Ị chịrịla ịnyịnya gị zọọ ije n’oke osimiri,
kpagharịa mmiri ukwu ndị ahụ.

16 Amara m jijiji n’obi m mgbe m nụrụ ihe ndị a niile,
egbugbere ọnụ m abụọ kụkọtara n’egwu,
ọkpụkpụ dị m n’ahụ malitere ire ure,
mee ka ụkwụ m maa jijiji.
Ma aga m eji ndidi chere ụbọchị ọjọọ ahụ
nke ga-abịakwasị ndị ahụ na-abịa ibuso anyị agha.
17 A sịkwarị na osisi fiig amaghị ifuru,
na ọ dịghị mkpụrụ dị n’osisi vaịnị,
a sịkwa na mkpụrụ osisi oliv ebilata
na ala ubi niile emepụtaghị ihe oriri,
a sịkwa na ọ dịghị atụrụ dị n’ọgba anụ,
na ọ dịkwaghị ehi nọ n’ụlọ anụmanụ,
18 mụ onwe m ga-anọgide na-aṅụrị ọṅụ n’ime Onyenwe anyị.
Aga m etegharịkwa egwu ọṅụ n’ime Chineke Onye nzọpụta m.

19 Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị bụ ike m,
ọ na-eme ụkwụ m abụọ ka ha dịka nke ele.*
Ọ na-emekwa ka m zọọ ije n’ebe niile dị elu.
Nke a dịrị onyeisi abụ, n’ụbọ akwara m dị iche iche.

* 3:19 3:19 Ịdị ngwa n’ịgba ọsọ

# Zefanaya

1 Okwu ONYENWE ANYỊ nke rutere Zefanaya, nwa Kushi, nwa nwa Gedaliya, bụ nwa Amaraya. Amaraya bụ nwa Hezekaya. Ozi a bịara n'oge Josaya nwa Amọn, bụ eze Juda.

*Ikpe ọmụma dịrị ụwa niile n'ụbọchị nke Onyenwe anyị*

2 "Aga m azachapụ ihe niile
site n'elu ụwa,"
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.
3 "Aga m azachapụ mmadụ na anụmanụ.
Aga m azachapụ ụmụ anụ ufe niile nke dị n'eluigwe,
zachapụkwa azụ niile nke dị n'osimiri,
na arụsị niile dị iche iche nke na-eme ka ndị ajọ mmadụ sụọ ngọngọ."

"Mgbe m kpochapụrụ* mmadụ niile
site n'elu ụwa,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

*Ahụhụ dịrị Juda*

4 "Aga m esetipụ aka m megide Juda,
megidekwa ndị niile bi na Jerusalem.
Aga m ebipụkwa ndị niile na-efe Baal fọdụrụ n'ebe a,
na aha ndị nchụaja arụsị niile, ma ndị nchụaja niile na-ekpere arụsị,
5 bụ ndị ahụ niile na-anọ n'elu ụlọ ha
na-akpọ isiala nye ọnwa na kpakpando,
ha na ndị ahụ niile na-akpọrọ Onyenwe anyị isiala, na-eji aha ya n'aṅụ iyi,
ma na-ejikwa Milkọm† na-aṅụ iyi,
6 na ndị ahụ niile na-alaghachi azụ site n'iso ONYENWE ANYỊ,
na ndị ahụ na-adịghị achọ ONYENWE ANYỊ, maọbụ jụta ase site n'aka ya."

7 Dere duu n'ihu Onye kachasị ihe niile elu, bụ ONYENWE ANYỊ
n'ihi na ụbọchị ikpe ya ahụ dị egwu na-abịa nso.
ONYENWE ANYỊ ejikerela ịchụ aja;
o doola ndị ọ kpọrọ oriri nsọ.

8 "N'ụbọchị ịchụ aja nke ONYENWE ANYỊ ahụ,
aga m ata ndịisi niile
na ụmụ eze niile,
na ndị niile na-eyi uwe
e si na mba ọzọ bubata ahụhụ.
9 N'ụbọchị ahụ, aga m ata ha ahụhụ
bụ ndị niile na-adịghị azọ ụkwụ n'ọnụ ụzọ mbata,‡§
ndị ji ihe ike na aghụghọ
na-emejupụta ụlọ arụsị ha.

10 "N'ụbọchị ahụ,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya,

* 1:3 1:3 Maọbụ, lara mmadụ niile n'iyi † 1:5 1:5 Maọbụ, Molek ‡ 1:9 1:9 Ndị na-amafe mbata ọnụ ụzọ
§ 1:9 1:9 Gụọ 1Sa 5:5

“olu iti mkpu akwa ga-esite n’Ọnụ Ụzọ Ama Azụ daa,
mkpu nke ịkwasi akwa ike ga-ada site n’ebe obibi ọhụrụ ahụ,
na ụzụ oke ntiwa site n’ugwu nta niile.
11 Kwasienụ akwa ike unu ndị niile bi n’akụkụ ebe ahịa dị;
n’ihi na a ga-egbuchapụ ndị ahịa unu niile.
Ndị niile na-eji ọlaọcha azụ ahịa ka a ga-ebibi.
12 N’oge ahụ, aga m eji oriọna nyobanyechaa anya n’akụkụ niile nke Jerusalem.
Aga m ata ndị ahụ niile na-anọ n’ahụ dị jụụ ahụhụ,
bụ ndị ahụ dọọrọ dịka ike mmanya a ṅụfọdụrụ aṅụfọ,
ndị na-eche n’obi ha sị, ‘O nweghị ihe ONYENWE ANYỊ ga-eme anyị,
maọbụ ihe ọma, maọbụ ihe ọjọọ.’
13 Akụ ha ga-abụ ihe a kwakọrọ n’ike,
a ga-akwatukwa ụlọ ha niile.
Ọ bụ ezie na ha ga-ewu ụlọ,
ma ha agaghị ebi n’ime ha;
ọ bụ ezie na ha ga-akọ ubi vaịnị,
ma ha agaghị aṅụ mmanya si na ha.”

*Ụbọchị ukwu nke ONYENWE ANYỊ*

14 Oke ụbọchị ONYENWE ANYỊ na-abịa nso,
ọ na-abịakwa ọsịịsọ.
Gee ntị! Iti mkpu akwa nke ụbọchị ONYENWE ANYỊ ga-adị ilu nke ukwuu.
A ga-anụkwa ụzụ ndị bụ dike n’agha n’ebe ahụ.
15 Ụbọchị ahụ ga-abụ ụbọchị ọnụma,
ụbọchị ahụhụ na mkpagbu,
ụbọchị nsogbu na mbibi,
ụbọchị ọchịchịrị na oke obi ọjọọ,
ụbọchị igwe ojii, na oke ọchịchịrị,
16 ụbọchị opi ike na iti mkpu agha
imegide obodo niile e wusiri ike,
na imegide akụkụ ụlọ elu niile.

17 “Aga m eme ka oke nhụju anya bịakwasị ndị mmadụ,
mee ka ha jegharịa dịka ndị kpuru ìsì,
n’ihi na ha emehiela megide ONYENWE ANYỊ.
A ga-awụsịkwa ọbara ha dịka uzuzu,
tufukwaa anụ ahụ ha dịka nsị anụ.
18 Ọlaọcha na ọlaedo ha
agaghị azọpụta ha
n’ụbọchị ọnụma nke ONYENWE ANYỊ ahụ.”

A ga-erechapụ ụwa niile
site n’ọkụ ekworo ya,
n’ihi na ọ bụ na mberede
ka ọ ga-eme ka ndị niile bi n’ụwa gwụsịa.

# 2

*E kpere Juda na Jerusalem ikpe ha na mba niile*

*Oku akpọrọ Juda ka ọ chegharịa*

1 Chịkọtaanụ onwe unu, e, chịkọtaanụ onwe unu,

unu ndị mba ihe ihere dịrị.
2 Tupu ụkpụrụ ahụ ewere ọnọdụ,
a chịpụ ụbọchị ahụ dịka igbugbo ọka nke ikuku na-ebufu,
tupu iwe ọkụ Onyenwe anyị
abịakwasị gị,
tupu ụbọchị ọnụma nke ONYENWE ANYỊ
abịakwasị gị.
3 Chọọnụ ONYENWE ANYỊ, unu ndị niile dị umeala n'obi nọ n'ala ahụ,
unu bụ ndị na-eme ihe o nyere n'iwu.
Gbasoonụ ezi omume, gbasoonụ ịdị umeala n'obi,
ma eleghị anya, a ga-echebe unu
n'ụbọchị iwe ONYENWE ANYỊ.

### *Ahụhụ dịrị Filistia*

4 N'ihi na o nwekwaghị ndị ga-ebi n'obodo Gaza,
obodo Ashkelọn ga-atọgbọrọ n'efu.
N'etiti ehihie ka a ga-ekpochapụ ndị niile bi n'Ashdọd;
a ga-ehopukwa Ekrọn.
5 Ahụhụ dịrị unu ndị bi n'akụkụ oke osimiri,
unu bụ ndị Keret;
okwu ONYENWE ANYỊ na-emegide unu,
Kenan, ala ndị Filistia.
Ọ sịrị, "Aga m ala gị n'iyi,
ruo na ọ dịghị onye ga-afọdụ ndụ n'ime gị."
6 Ala nke dị n'akụkụ oke osimiri ahụ,
ga-aghọ ebe ahịhịa jupụtara nye ndị ọzụzụ atụrụ
na ọgba igwe ewu na atụrụ.
7 Ala nke dị n'akụkụ oke osimiri
ga-aghọ ala nke ndị ahụ fọdụrụ na Juda,
ebe ha ga-achọtara anụ ụlọ ha ahịhịa.
Ha ga-anọkwa n'ụlọ ndị Ashkelọn nke tọgbọrọ n'efu,
dinaa ala zuru ike n'oge uhuruchi.
ONYENWE ANYỊ Chineke ha ga-elekọta ha,
mekwaa ka ha nwetaghachi ihe nketa ha niile.

### *Ahụhụ dịrị Moab na Amọn*

8 "Anụla m okwu ọjọọ niile, nke ndị Moab,
na ịkwa emo niile nke ndị Amọn,
nụkwa ịbasị mba ike ha megide ndị nke m
na-anya isi na ha ga-ewere ala ha.
9 N'ihi ya, dịka m na-adị ndụ,"
otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
bụ Chineke Izrel, kwubiri ya,
"aghaghị m ime ka Moab dịrị ka Sọdọm,
mekwaa ka Amọn dịka Gọmọra.
Ha ga-aghọ ala ebe ahịhịa na-adụ ogwu ogwu na-eru, ebe olulu nnu jupụtara,
na ebe tọgbọrọ n'efu ruo mgbe ebighị ebi.
Ndị m, ndị fọdụrụ ga-akwakọrọ akụnụba ha,
ndị fọdụrụ ndụ na mba m ga-eketa ala ha."

10 Ihe ndị a bụ ụgwọ ọrụ ha ga-anata n'ihi ịnya isi ha,
na n'ihi nkọcha na ịkwa emo ha megide

ndị nke ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile.
11 Onye dị egwu ka ONYENWE ANYỊ ga-abụ n'ebe ha nọ,
mgbe ọ lara chi niile nke ụwa n'iyi.
Mba niile dị n'ebe dị anya ga-akpọ isiala nye ya,
onye ọbụla n'ala nke aka ya n'ụwa niile.

*Ahụhụ dịrị Kush*

12 "Unu ndị Itiopia,*
a ghaghị iji mma agha gbuo unu."

*Ahụhụ dịrị Asịrịa*

13 Ọ ga-esetipụ aka ya megide ndị bi n'akụkụ ugwu,
laa Asịrịa n'iyi.
Ninive ga-aghọ ebe tọgbọrọ n'efu,
ọ ga-aghọkwa ala kpọrọ nkụ, dịka ọzara.
14 Igwe anụmanụ dị iche iche na igwe ehi ga-amakpu n'ebe ahụ,
ha na ihe e kere eke dị iche iche.
Ikwighịkwighị nke ọzara na okwolo
ga-anọ ọnọdụ abalị n'isi ogidi ya niile ahụ.
Ụda olu ha ka a ga-anụ site na mpio-ikuku,
mkpọmkpọ aja ga-adị na mbata nke ọnụ ụzọ niile,
ibo ọnụ ụzọ niile e ji osisi sida mee ga-egherekwa oghe.
15 Nke a bụ obodo ukwu ahụ, nke na-aṅụrị ọṅụ oriri,
nke na-ebikwa na-enweghị ihe egwu ọbụla;
nke na-asị onwe ya,
"Ọ bụ mụ onwe m! Ọ dịghị onye ọzọ ma ewezuga m."
Ma ugbu a, lee otu o si bụrụ ebe tọgbọrọ n'efu;
lee ka o si bụrụ ebe ụmụ anụ ọhịa bi.
Onye ọbụla si n'akụkụ ya na-agafe aghaghị ịma ọsụ,
ma fufekwaa isi ya.

# 3

*Ọdịnihu Jerusalem*

1 Ahụhụ dịrị obodo ahụ ndị mmegbu,
na ndị na-enupu isi, na ndị rụrụ arụ jupụtara n'ime ya.
2 Ọ naghị ege onye ọbụla ntị,
ọ dịghị anabata ịdọ aka na ntị.
Ọ dịghị atụkwasị ONYENWE ANYỊ obi,
ọ dịkwaghị abịakwute Chineke ya nso.
3 Ndịisi nọ n'etiti ya
dịka ọdụm na-agbọ ụja,
ndị ọkaikpe ya dịka nkịta ọhịa na-achụ nta anyasị,
nke ihe ọ chụtara na nta adịghị anọ tutu chi abọọ.
4 Ndị amụma ya bụ ndị ndu rụrụ arụ,
ha bụkwa ndị aghụghọ.
Ndị nchụaja ya na-emerụ ebe nsọ
na-ejikwa ike emebi iwu.
5 Ma ONYENWE ANYỊ, onye nọ n'etiti ya bụ onye ezi omume.
Ọ nakwaghị eme ihe ọjọọ.*
Ụtụtụ niile ka ọ na-eme ka ikpe ziri ezi ya pụta ìhè;

---

* **2:12** 2:12 Maọbụ, Kush * **3:5** 3:5 Maọbụ, ihe na-ezighị ezi

ụbọchị ọbụla ọ naghị ahapụ igosi ya,
ma ndị ajọ omume enweghị ihere.

### *Jerusalem anọgide na nnupu isi*

6 “Egbuchapụla m mba niile dị iche iche,
kwatukwaa ebe ha niile e wusiri ike.
Ahapụla m okporoụzọ ha ka ọ bụrụ ihe a gbahapụrụ agbahapụ,†
ọ dịkwaghị onye na-esi na ha agabiga.
A laala obodo ha niile n’iyi,
ọ dịkwaghị onye fọdụrụ, ọ bụladị otu onye.
7 Asịrị m, banyere Jerusalem,
‘N’ezie, ị ga-atụ egwu m,
ma nabatakwa ntụziaka.’‡
Mgbe ahụ, agaghị ebibi ebe mgbaba ya,
ma ọ bụkwanụ ntaramahụhụ m niile agaghị abịakwasịkwa ya.
Ma otu ọ dị, ọ nụrụ ha ọkụ n’obi ịga n’ihu
mee omume rụrụ arụ n’ihe niile bụ nke ha mere.
8 N’ihi nke a, cherenụ m,” otu a ka Onyenwe anyị kwubiri,
“n’ụbọchị ahụ m ga-ebili ịgba akaebe.§
Mkpebi m bụ ịchịkọta mba niile dị iche iche,
na ịkpọkọta alaeze niile,
ịwụkwasị ha oke iwe m,
ọ bụladị ọnụma niile nke iwe m.
Ọkụ, nke iwe si n’ekworo m,
ka a ga-eji rechapụ ụwa niile.

### *Nlọghachi nke ụmụ Izrel ndị fọdụrụ*

9 “Mgbe ahụ, aga m anụcha egbugbere ọnụ* ndị niile dị iche iche mee ka ọ bụrụ ihe dị ọcha,
ka ha niile nwee ike ịkpọku aha Onyenwe anyị,
ma jikọta aka fekwaa ya ofufe.
10 Site n’ofe osimiri niile nke Kush,†
bụ ndị m a chụsasịrị achụsasị, ndị na-akpọ isiala nye m,
ga-ewetara m onyinye dị iche iche.
11 N’ụbọchị ahụ, gị bụ Jerusalem, agaghị eme ka ihere mee gị,
n’ihi omume njehie niile i jere megide m,
n’ihi na aga m esite n’etiti gị wezuga ndị gị niile
na-aṅụrị ọṅụ‡ na mpako ha.
A gaghị ahụkwa ndị na-afụli onwe ha elu
n’ugwu nsọ m.
12 Ma aga m eme ka ndị dị nwayọọ n’obi,
na ndị dị umeala n’obi
fọdụ n’etiti ndị Izrel,
ha ga-agbababakwa§ n’aha Onyenwe anyị.
13 Ha agaghị emekwa ihe ọjọọ,
ha agaghị ekwu okwu ụgha.
Ire na-ekwu okwu aghụghọ
agaghị adịkwa n’ọnụ ha.
Ha ga-akpa nri ma dinakwa ala,

† **3:6** 3:6 Ya bụ, n’ụzọ niile dere duu ‡ **3:7** 3:7 Ọ gaghị elegharakwa ntụziaka niile m ziri ya anya § **3:8** 3:8 Ụbọchị m ga-ebili ịkwata ihe * **3:9** 3:9 Maọbụ, gbanwee okwu ha † **3:10** 3:10 Maọbụ, Itiopia ‡ **3:11** 3:11 Ya bụ, ndị na-anya isi § **3:12** 3:12 Ya bụ, tụkwasị obi

ọ dịkwaghị onye ga-eme ka ha tụọ egwu.”

14 Bụọ abụ, gị nwaada Zayọn;
tie mkpu, gị Izrel.
Ṅụrịa ọṅụ, e, jiri obi gị niile ṅụrịa ọṅụ,
gị nwaada Jerusalem.
15 N’ihi na ONYENWE ANYỊ ewezugala ahụhụ dịrị gị,
chụghachikwa ndị iro gị azụ.
ONYENWE ANYỊ, onye bụ Eze Izrel, nọ n’etiti gị.
Ị gaghị atụkwa egwu ihe ọjọọ ọzọ.
16 N’ụbọchị ahụ,
ihe a ga-agwa Jerusalem ga-abụ,
“Atụla egwu, gị Zayọn,
ekwela ka aka gị daa mba.
17 ONYENWE ANYỊ bụ Chineke gị nọ n’etiti gị,
ọ bụ Dike n’agha nke na-enye mmeri.
Ọ ga-eji ọṅụ nwee mmasị na ahụ gị;
n’ihi ịhụnanya ya, ọ gaghị abakwara gị mba,*
kama ọ ga-eji oke iti mkpu abụ ṅụrịa ọṅụ n’ebe ị nọ.”

18 “N’ụbọchị mmemme a kara aka,
aga m ewepụrụ gị ọdachi iru ụjụ,
nke bụ ibu arụ na ihe ịta ụta dịrị gị.
19 N’oge ahụ,
aga m emesi ndị ahụ niile na-emegbu gị ike.
Aga m azọpụta ndị ụkwụ rụrụ,
chịkọtakwa ndị niile e mere ka ha gaa biri n’ala ndị ọzọ.
Aga m agbanwe ihere ha ka ọ bụrụ ihe otuto
n’ihe na-ewu ewu n’ụwa ebe ha natara ihere.
20 N’oge ahụ, aga m akpọlata unu n’ụlọ;
mgbe m ga-akpọkọta unu ọnụ.
Aga m eme ka unu na-ewu ewu
ka unu nwekwaa otuto n’etiti mmadụ niile bi n’ụwa,
mgbe m ga-eweghachi ihe ọma unu
n’ihu anya unu.”
Ka ONYENWE ANYỊ kwuru.

* **3:17** 3:17 Maọbụ, ọ ga-eme ka ịdị ọhụrụ

# Hegai

*Oku maka ịrụ ụlọ ONYENWE ANYỊ*

1 Ozi ONYENWE ANYỊ, nke rutere Hegai onye amụma, nke o ziri Zerubabel nwa
Shealtiel, onye na-achị Juda, na Joshua nwa Jehozadak, onyeisi nchụaja. Ozi a rutere
ya n’afọ nke abụọ nke ọchịchị eze Daraiọs, n’ụbọchị nke mbụ n’ọnwa nke isii.
2 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu, “Ndị a na-asị, ‘N’oge
ahụ erubeghị mgbe anyị ga-ewu ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ.’ ”
3 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYỊ bịara site n’ọnụ Hegai, onye amụma na-asị, 4 “Nke
a ọ bụ oge unu onwe unu ji ebi n’ụlọ unu e ji osisi machie, mgbe ụlọnsọ ukwu a
nọgidere na-adakpọsị?”
5 Ugbu a, ihe a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu, “Lezienụ ụzọ
unu anya. 6 Unu na-agha mkpụrụ, ma na-enweta naanị ihe ntakịrị. Unu na-eri nri,
ma ihe unu na-eri adịghị ezuru unu. Unu na-aṅụ ihe ọṅụṅụ ma unu adịghị aṅụju
afọ ka o si mmasị unu. Unu na-eyikwasị onwe unu uwe, ma ọ dịghị achụ unu oyi.
Unu na-anata ụgwọ ọrụ, maọbụ n’akpa puru epu ka unu na-etinye ya.”
7 Ihe a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu, “Chezienụ echiche
banyere ndụ unu. 8 Jeenụ n’elu ugwu, wedata osisi, jiri ya wuo ụlọnsọ ukwu ahụ.
Mgbe ahụ, obi ga-atọ m ụtọ na ya, a ga-asọpụkwara m n’ebe ahụ.” Ọ bụ ihe ONYENWE
ANYỊ kwuru. 9 “Unu na-ele anya ihe ukwu, ma lee, ọ bụ naanị ihe ntakịrị ka ọ pụtara.
Mgbe unu welatara ha n’ụlọ, a fụfụsiri m ha niile. Nke a ọ bụ n’ihi gịnị?” Otu a
ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwupụtara. “Ọ bụ n’ihi na ụlọnsọ ukwu
m, nke nọgidere na-abụ mkpọmkpọ ebe, ma onye ọbụla n’ime unu na-agba mbọ ịrụ
naanị ihe gbasara ụlọ nke aka ya. 10 Ya mere, n’ihi unu ka eluigwe ji jide igirigi ha,
ala ejidekwala ihe omume nke ubi. 11 Akpọọla m ka okpomọkụ bịakwasị n’ala ubi
niile nakwa n’elu ugwu niile, n’elu ọka na mmanya ọhụrụ, mmanụ oliv na ihe niile
nke ala na-emepụta. Ka ọ bịakwasị mmadụ na anụmanụ niile, nakwa ihe niile unu
dọgburu onwe unu n’ọrụ inweta.”

12 Mgbe ahụ, Zerubabel nwa Shealtiel, na Joshua nwa Jehozadak, onyeisi nchụaja,
na ndị niile fọdụrụ, ṅara ntị n’olu ONYENWE ANYỊ Chineke ha, na n’ozi Hegai onye
amụma, dịka ONYENWE ANYỊ Chineke ha zitere ya. Ndị Izrel niile tụkwara egwu
ONYENWE ANYỊ.
13 Mgbe ahụ Hegai, onyeozi ONYENWE ANYỊ, ziri ndị mmadụ ahụ niile ozi Onyenwe
anyị, sị: “Mụ onwe m nọnyeere unu,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara. 14 Ya
mere, ONYENWE ANYỊ kwaliri mmụọ Zerubabel nwa Shealtiel, onye na-achị Juda, na
mmụọ Joshua nwa Jehozadak, onyeisi nchụaja na mmụọ ndị niile ahụ fọdụrụ n’ala
ahụ. Ha niile bịara bido ọrụ n’ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
bụ Chineke ha, 15 n’ụbọchị nke iri abụọ na anọ, n’ọnwa nke isii.

*Ebube nke ụlọ ọhụrụ ahụ nke ekwere na nkwa*

Ọ bụ n’afọ nke abụọ, nke ọchịchị eze Daraiọs,

## 2

1 n’ụbọchị nke iri abụọ na otu, n’ọnwa nke asaa, okwu ONYENWE ANYỊ si n’ọnụ
onye amụma Hegai bịakwa na-asị: 2 “Gwa Zerubabel nwa Shealtiel, onye na-achị
Juda, na Joshua nwa Jehozadak, onyeisi nchụaja, na ndị Izrel ahụ fọdụrụ n’ala ahụ
sị: 3 ‘Onye n’ime unu nwere ike icheta otu ụlọnsọ ukwu nke mbụ si dị ebube? Ọ dị
aṅaa n’anya unu ugbu a? Ọ bụ na ọ dịghị unu ka ihe efu ugbu a. 4 Ma ugbu a nwee

obi ike Zerubabel,' ka ONYENWE ANYỊ kwuru. 'Nwekwaa obi ike gị Joshua onyeisi
nchụaja, nwa Jehozadak. Nwekwaanụ obi ike unu ndị niile bi n'ala a.' Ka ONYENWE
ANYỊ kwuru. 'Rụọnụ ọrụ n'ihi na anọnyeere m unu,' ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ
ime ihe niile na-ekwu. 5 'Nke a bụ ihe merenụ mgbe mụ na unu gbara ndụ n'oge ahụ
unu si n'Ijipt pụta. Mmụọ m na-anọgidekwa n'etiti unu. Unu atụla egwu.'
6 "N'ihi na ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, 'Ọ fọdụrụ
otu ugbo, nwa oge nta gasịa, aga m ayọgharị eluigwe na ụwa, na osimiri na ala
akọrọ. 7 Aga m ayọgharịkwa mba niile; ihe mba niile na-achọsi ike ga-abịa. Aga m
eme ka ụlọ a jupụta n'ebube,' ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.
8 'Ọlaọcha niile na ọlaedo niile, bụ nke m.' Ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime
ihe niile kwupụtara. 9 'Ebube nke ụlọ a ga-adị ukwuu karịa ebube nke mbụ,' ọ bụ
ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru. 'Ọ bụkwa n'ebe a ka m ga-enye
ọganihu na udo,' otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri ya."

### *Ngọzị maka ndị rụrụ arụ*

10 N'ụbọchị nke iri abụọ na anọ, n'ọnwa itoolu, nke afọ abụọ, nke ọchịchị eze
Daraiọs, okwu ONYENWE ANYỊ bịakwutere onye amụma, bụ Hegai. 11 "Ihe ndị a ka
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, 'Jụọ ndị nchụaja ihe iwu na-ekwu.
12 Ọ bụrụ na mmadụ etinye anụ e doro nsọ n'akpa uwe ya, ọ bụrụkwa na uwe ahụ
anụ nsọ ahụ dị n'ime ya emetụ achịcha, maọbụ ofe, maọbụ nri ọzọ dị iche, mmetụ
uwe ahụ metụrụ ha ọ ga-eme ka ha dịrị nsọ?' "
Ndị nchụaja zara sị: "Mba!"
13 Mgbe ahụ Hegai kwukwara, "Ọ bụrụ na mmadụ emerụọ onwe ya site n'imetụ
onye nwụrụ anwụ aka, mesịa metụ otu n'ime ihe ndị a aka, ọ ga-abụ ihe rụrụ arụ?"
Ndị nchụaja zara sị, "E, ọ ga-abụ ihe rụrụ arụ."
14 Mgbe ahụ Hegai kwuru sị, " 'Otu a ka mba a na ndị bi n'ime ya dị n'ihu m.
Ihe ọbụla aka ha rụpụtara na onyinye ọbụla ha nyere bụ ihe rụrụ arụ.' Ọ bụ ihe
ONYENWE ANYỊ kwuru.
15 " 'Ma ugbu a, chezienụ echiche banyere ihe ndị ga-emenụ site taa gaa n'ihu.
Tuleenụ otu ihe si dị tupu adọnye otu nkume n'elu ibe ya n'ụlọnsọ ukwu nke
ONYENWE ANYỊ. 16 Kedụ ọnọdụ unu? Mgbe mmadụ bịara n'ebe o debere ọtụtụ iri
efere ọka abụọ, ihe ọ na-ahụ bụ naanị ọtụtụ efere ọka iri. Ọ bụrụkwa na ọ bịa
n'ebe ịnara mmanya ka o were iri ite mmanya ise, ọ bụ naanị iri ite mmanya abụọ
ka ọ ga-enweta. 17 Eji m ọrịa na-eripịa ihe ubi, na ọmụma ebu, na mkpụrụ mmiri
igwe bibie ọrụ aka unu niile; ma unu alọghachikwuteghị m,' ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ
kwupụtara. 18 'Ma site n'ụbọchị taa gaa n'ihu, site n'ụbọchị taa bụ iri ụbọchị anọ
nke ọnwa itoolu, chenụ echiche banyere ụbọchị a bụ ụbọchị a tọrọ ntọala ụlọnsọ
ukwu ONYENWE ANYỊ. Chezienụ echiche banyere ya. 19 Ọ ka nwere mkpụrụ ọghịgha
unu nwere n'ọba unu? Ọzọkwa, osisi vaịnị, osisi fiig, osisi pomegranet na osisi oliv
amịghị mkpụrụ, ruo ugbu a.
" 'Ma site n'ụbọchị taa gaa n'ihu aga m agọzi unu.' "

### *Zerubabel mgbaaka akara ONYENWE ANYỊ*

20 Okwu ONYENWE ANYỊ bịakwutere Hegai nke ugboro abụọ, n'ụbọchị nke iri abụọ
na anọ nke ọnwa ahụ, sị, 21 "Gwa Zerubabel, onye na-achị Juda sị ana m aga ịyọgharị
eluigwe na ụwa. 22 Aga m akwatu ocheeze alaeze dị iche iche, ana m agakwa imebi
ike alaeze nke mba dị iche iche. Aga m akwatu ụgbọ ịnyịnya n'ala na ndị na-anya
ha; ịnyịnya na ndị na-agba ha ga-adakwa. Onye ọbụla ga-adakwa site na mma agha
nke onye otu ya.
23 " 'N'ụbọchị ahụ,' ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu, 'Aga m
ewere gị bụ onyeozi m Zerubabel nwa Shealtiel,' ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ kwuru,

‘mee gị ka ị dị ka mgbaaka akara m, n’ihi na ahọrọla m gị,’ Ọ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu.”

# Zekaraya

*Lọghachitanụ n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ*

1 N'ọnwa nke asatọ, n'afọ nke abụọ nke ọchịchị eze Daraiọs, okwu ONYENWE ANYỊ
ruru Zekaraya nwa Berekaya, nwa Ido, bụ onye amụma ntị, na-asị,

2 "ONYENWE ANYỊ were oke iwe megide nna unu ha. 3 N'ihi ya, gwa ha, ihe ndị a
ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, na-ekwu. 'Lọghachikwutenụ m,' otu
a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwupụtara, 'Mụ onwe m kwa ga-
alọghachikwute unu.' Ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ Onye pụrụ ime ihe niile, na-ekwu.
4 Unu adịla ka ndị nna unu ha, ndị amụma mbụ kpọrọ oku si, Otu a ka ONYENWE
ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwupụtara: 'Sitenụ n'ụzọ ọjọọ unu na ajọ omume unu
chigharịa' ma ha achọghị ịnụ maọbụ gee m ntị, otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara.
5 Olee ebe ka nna nna unu ha nọ ugbu a? Ndị amụma ahụ, ha na-adị ndụ ruo mgbe
ebighị ebi? 6 Ọ bụ na okwu m na iwu bụ nke m nyere ụmụ ohu m ndị amụma, ọ bụ
na ha emezughị n'ebe ndị nna nna unu ha nọ?

"Mgbe ahụ, ha chegharịrị ma kwuo, 'ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile,
emesola anyị mmeso dịka ụzọ anyị na omume anyị si dị. O mekwara ya dịka o
si zube na ọ ga-eme ya.' "

*Nwoke nọ n'etiti osisi mietul*

7 N'ụbọchị nke iri abụọ na anọ, nke ọnwa iri na otu, bụ ọnwa Shebat, n'afọ abụọ
nke ọchịchị eze Daraiọs, okwu ONYENWE ANYỊ ruru Zekaraya onye amụma, bụ nwa
Berekaya, nwa Ido ntị, na-asị:

8 N'abalị ahụ, ahụrụ m n'ọhụ, otu nwoke na-agba ịnyịnya na-acha ọbara ọbara. O
guzokwa n'etiti osisi mietul, nke dị n'ebe miri emi nke mgbawa dị n'ala. N'azụ ya,
ọtụtụ ịnyịnya na-acha ọbara ọbara, ndị na-acha ka ahịhịa kpọrọ nkụ, na ndị na-acha
ọcha dịkwa.

9 Ajụrụ m, "Nna m ukwu, gịnị bụ ihe ndị a?"

Mmụọ ozi ahụ nke na-agwa m okwu sịrị m, "Aga m egosi gị ihe ha bụ."

10 Mgbe ahụ onye ahụ guzo n'etiti osisi mietul ndị ahụ sịrị, "Ndị a bụ ndị ONYENWE
ANYỊ zitere ka ha jegharịa n'ụwa niile."

11 Ha sịrị mmụọ ozi nke ONYENWE ANYỊ nke na-eguzo n'etiti osisi mietul ahụ, "Anyị
ejegharịala n'ụwa niile, ma lee anyị chọpụtara na ụwa niile nọ n'udo, dịkwa jụụ."

12 Mgbe ahụ, mmụọ ozi nke ONYENWE ANYỊ sịrị, "ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime
ihe niile, ọ bụ ruo ole mgbe ka ị ga-anọgide hapụ imere Jerusalem na obodo niile
nke Juda ebere, bụ obodo ị na-eweso iwe iri afọ asaa ndị a gara aga?" 13 Mgbe ahụ,
ONYENWE ANYỊ gwara mmụọ ozi ahụ guzo na-agwa m okwu, okwu nkasiobi na okwu
ọma dị iche iche.

14 Mgbe ahụ, mmụọ ozi ahụ nọ na-agwa m okwu gwara m sị, "Kwusaa ozi a, otu
a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru sị, 'Ekworo m dị ukwuu n'ebe
Jerusalem na Zayọn nọ, 15 ma iwe m dị ukwuu megide ndị mba niile ahụ onwe ha
juru afọ. N'ihi na mgbe iwe m dị nta, ha nyere aka ime ka ahụhụ ahụ karịa njọ.'

16 "N'ihi ya, ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ kwuru, 'Aga m eji obi ebere lọghachi na
Jerusalem. N'ebe ahụ kwa ka a ga-ewugharị ụlọnsọ ukwuu m. A ga-esetikwa eriri e
ji atụ ihe n'elu Jerusalem.' Otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri.

17 “Kwusaakwa ọzọ, otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.
‘Ọganihu ga-adịkwa n’obodo m niile ọzọ.* ONYENWE ANYỊ ga-akasị Zayọn obi ọzọ,
ma họpụtakwa Jerusalem.’ ”

*Mpi anọ na ndị ọkpụ ụzụ anọ*

18 Mgbe ahụ, eweliri m anya m abụọ elu hụ mpi anọ. 19 Ajụrụ m mmụọ ozi ahụ
na-agwa m okwu sị, “Gịnị ka ihe ndị a bụ?”
Ọ sịrị m, “Ndị a bụ mpi ndị ahụ chụsasịrị Juda, na Izrel, na Jerusalem.”
20 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ gosiri m ndị ọkpụ ụzụ anọ. 21 Asịrị m, “Gịnị ka ndị
na-abịa ime?”
Ọ zaghachiri m, “Ndị a bụ mpi anọ ndị ahụ chụsasịrị Juda, ime ka onye ọbụla ghara
inwe ike iwelite isi ya. Ma ndị a abịala imenye ha ụjọ, na ịtụda mpi mba niile, bụ
ndị ahụ buliri mpi ha imegide ala Juda, na ịchụsa ndị ya.”

## 2

*Nwoke ji Ihe ọtụtụ*

1 Mgbe m weliri anya m, ahụrụ m otu nwoke ji eriri ihe ọtụtụ n’aka ya. 2 Ajụrụ m,
“Ebee ka ị na-aga?”
Ọ sịrị m, “Ana m aga ịtụ Jerusalem, ịchọta ịdị ogologo ya, na ịdị obosara ya.”
3 Mgbe mmụọ ozi na-ekwuru m okwu na-apụ, mmụọ ozi ọzọ bịara izute ya, 4 ọ sịrị
ya, “Gbaa ọsọ, gwa nwa okorobịa ahụ, sị, ‘Obodo na-enweghị mgbidi ka Jerusalem
ga-abụ, n’ihi ọtụtụ igwe mmadụ na anụmanụ ga-ejupụta n’ime ya. 5 Ma mụ onwe
m ga-abụrụ ya mgbidi ọkụ nke ga-agba ya gburugburu.’ Otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwubiri. ‘Aga m aghọ ebube n’etiti ya.’
6 “Bịa, lee anya! Sitenụ n’ala dị n’ugwu gbapụ,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara,
“n’ihi na achụsasịrị m unu nye ikuku anọ nke eluigwe,” otu a ka ONYENWE ANYỊ
kwubiri.
7 “Bịanụ, unu ndị bi na Zayọn. Gbalaganụ, unu ndị bi n’ala nke ada Babilọn.”
8 N’ihi na otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, “Mgbe Onye ahụ
dị ebube zipụrụ m ịga megide mba ndị ahụ niile kwakọọrọ ihe unu. N’ihi na onye
ọbụla metụrụ unu aka bụ mkpụrụ anya m ka ọ na-emetụ aka. 9 Aghaghị m iweli aka
m imegide ha, meekwa ka ndị ohu ha kwakọrọ ihe niile ha nwere. Mgbe ahụ, unu
ga-amata na ọ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile zitere m.
10 “Tie mkpu ọṅụ, ka obi tọkwaa gị ụtọ, gị Ada Zayọn. N’ihi na ana m abịa ibi
n’etiti gị,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri. 11 “N’ụbọchị ahụ, ọtụtụ mba dị iche iche
ga-adịnyere ONYENWE ANYỊ, bụrụkwa ndị nke m. Aga m ebi n’etiti gị, ị ga-amatakwa
na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile zitere m ka m bịakwute gị. 12 ONYENWE
ANYỊ ga-eketa Juda dịka oke ya n’ime ala ahụ dị nsọ. Ọ ga-ahọrọkwa Jerusalem ọzọ.
13 Derenụ duu n’ihu ONYENWE ANYỊ, unu mmadụ niile, n’ihi na o sitela n’ebe obibi ya
dị nsọ kpalie onwe ya.”

## 3

*Uwe dị ọcha maka onye nchụaja*

1 Mgbe ahụ, o gosiri m Joshua onyeisi nchụaja ka ọ na-eguzo n’ihu mmụọ ozi nke
ONYENWE ANYỊ, na ekwensu ka ọ na-eguzo n’aka nri ya ibo ya ebubo. 2 ONYENWE ANYỊ
sịrị ekwensu, “ONYENWE ANYỊ basiere gị mba ike, gị ekwensu. ONYENWE ANYỊ, onye
họpụtara Jerusalem, basiere gị mba ike. Nwoke a, ọ bụghị ọlọkọ ọkụ na-ere ere, nke
e si n’ime ọkụ gụpụta?”

* **1:17** 1:17 Obodo m niile ga-esite n’ụba basaa ọzọ

3 Mgbe Joshua guzo n’ihu mmụọ ozi ahụ, uwe ya ruru unyi. 4 Mmụọ ozi ahụ gwara
ndị ahụ guzo ya n’ihu, “Yipụnụ ya uwe a ruru unyi.”

Mgbe ahụ, ọ gwara ya okwu sị, “Lee, ewepụla m mmehie gị, ma ugbu a, aga m eyikwasị gị uwe mmemme ndị a.”

5 Ekwuru m, “Ka ha were ezi akwa okike dị ọcha kee ya n’isi.” Ya mere ha weere
akwa okike dị ọcha kee ya n’isi, yikwasịkwa ya uwe ọhụrụ. Mmụọ ozi ONYENWE ANYị
guzokwa n’ebe ahụ.

6 Mgbe ahụ, mmụọ ozi nke ONYENWE ANYị nyere Joshua ndụmọdụ sị, 7 “Ihe ndị
a ka ONYENWE ANYị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, ‘Ọ bụrụ na i jee ije n’ụzọ m
niile, ọ bụrụkwa na i debe ihe niile m nyere gị n’iwu, ị ga-abụ onyeisi ezinaụlọ m, ị
ga-elekọta ụlọnsọ m anya, aga m enyekwa gị ọnọdụ n’etiti ndị a niile guzo n’ebe a.

8 “ ‘Gee m ntị, gị Joshua, onyeisi nchụaja na unu ndị nchụaja ndị ọzọ nọ n’ihu gị,
ndị bụ ihe ngosi banyere ihe ọma niile nke gaje ịbịa. Agaje m ịkpọta nwaodibo m,
onye bụ Ngalaba ahụ. 9 Lee, nkume nke m guzobere n’ihu Joshua. Nkume ahụ nwere
akụkụ* asaa n’ahụ ya, aga m egbunye akara dee ihe n’elu ya. Aga m ewezugakwa
mmehie nke ala a n’otu ụbọchị.’ Ọ bụ ihe ONYENWE ANYị, Onye pụrụ ime ihe niile
kwuru.

10 “ ‘N’ụbọchị ahụ, onye ọbụla n’ime unu ga-akpọbata mmadụ ibe ya, ka ọ bịa soro ya nọdụ n’okpuru osisi vaịnị ya, na n’okpuru osisi fiig ya.’ Otu a ka ONYENWE ANYị, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri ya.”

# 4

*Osisi oliv abụọ na ihe ịdọba oriọna*

1 Mgbe ahụ, mmụọ ozi ahụ nke na-agwa m okwu lọghachiri kpọtee m, dịka e si
akpọte onye nọ n’ụra. 2 Ọ sịrị m, “Gịnị ka ị na-ahụ?”

Asịrị m, “Ana m ahụ ihe ịdọba oriọna e ji ọlaedo mee. O nwere ọkwa n’isi ya,
nweekwa oriọna asaa, nke na-enwu n’elu ya. Oriọna asaa ndị a nwekwara okporo
asaa e si agbanye mmanụ n’ime ha. 3 Ahụkwara m osisi oliv abụọ nke dị n’akụkụ
ihe ịdọba oriọna ahụ. Otu dị n’otu akụkụ ya, nke ọzọ, n’akụkụ nke ọzọ.”

4 A sịrị m mmụọ ozi ahụ na-ekwuru m okwu, “Nna m ukwu, gịnị ka nke a pụtara?”

5 Mmụọ ozi ahụ na-agwa m okwu sịrị m, “Ị na-ekwu na ị maghị ihe ha bụ?”

Azara m sị, “Ee, nna m ukwu, amaghị m.”

6 Ọ sịrị m, “Nke a bụ okwu nke ONYENWE ANYị nye Zerubabel. ‘Ọ bụghị site n’ike, maọbụ site n’ume, kama ọ bụ site na Mmụọ m,’ ka ONYENWE ANYị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.

7 “Gịnị ka ị bụ, gị ugwu dị ukwuu? Ị ga-aghọ ala dị larịị n’ihu Zerubabel. Mgbe ahụ, ọ ga-awapụta isi nkume ahụ site n’iti oke mkpu ọṅụ, ‘Amara! Amara dịrị ya!’ ”

8 Mgbe ahụ, okwu ONYENWE ANYị ruru m ntị sị, 9 “Zerubabel wara ntọala ụlọnsọ
ukwu a, ọ bụ ya ga-ewuchakwa ya. Mgbe ahụ, ị ga-amata na ọ bụ ONYENWE ANYị,
Onye pụrụ ime ihe niile zitere m ịbịakwute unu.

10 “Onye na-eleda ụbọchị ihe nta anya ebe ọ bụ n’anya asaa nke ONYENWE ANYị, Onye pụrụ ime ihe niile na-ejegharị na-elezu ụwa dum, ga-aṅụ ọṅụ mgbe ha hụrụ nkume eji atụ mgbidi n’aka Zerubabel?”

11 Mgbe ahụ, a sịrị m ya, “Gịnị bụ osisi oliv abụọ ahụ dị n’aka nri na n’aka ekpe ihe ịdọba oriọna ahụ?”

12 A sịkwara m ya nke ugboro abụọ, “Gịnị bụ alaka osisi oliv abụọ ndị a dị n’akụkụ okporo ọlaedo abụọ ahụ, nke e si na ha na-awụpụta mmanụ ọlaedo?”

13 Ọ sịrị m, “Ọ pụtara na ị maghị ihe ha bụ?”

Asịrị m, “Mba, nna m ukwu.”

* **3:9** 3:9 Maọbụ, ihu asaa

14 Mgbe ahụ, ọ sịrị m, “Ndị a bụ mmadụ abụọ a họpụtara tee mmanụ, ife ya ofufe
bụ Onyenwe ụwa niile.”

# 5

*Akwụkwọ a fụkọrọ afụkọ*

1 Ọzọkwa, eleliri m anya elu, ma hụ akwụkwọ a fụkọrọ afụkọ nke na-efegharị
efegharị.
2 Ọ sịrị m, “Gịnị ka ị na-ahụ?”
Azara m, “Ahụrụ m akwụkwọ a fụkọrọ afụkọ nke na-efegharị efegharị. Ogologo
ya dị mita iri, obosara ya dịkwa mita ise.”
3 Ọ gwara m, “Nke a bụ ọbụbụ ọnụ nke na-apụ na-ejezu n’ala ahụ niile. N’ihi na
dịka e si detuo ya, n’otu akụkụ ya, a ga-esi n’ala a chụpụ ndị na-ezu ohi. Dịka e si
deekwa ya n’akụkụ nke ọzọ ya, onye ọ bụla na-aṅụ iyi ụgha ka a ga-esitekwa n’ala
ahụ chụpụ. 4 Ezipụla m ya, otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri,
‘Ọ ga-abanye n’ụlọ onye ọ bụla na-ezu ohi, na n’ụlọ ndị ji aha m na-aṅụ iyi ụgha. Ọ
ga-anọgide n’ụlọ ahụ mebie ya kpamkpam. Ọ ga-emebi osisi na nkume niile e ji wuo
ụlọ ahụ.’ ”

*Nwanyị nọ n’ime nkata*

5 Mgbe ahụ, mmụọ ozi ahụ na-agwa m okwu bịakwutere m sị, “Lelie anya gị elu
hụrụ ihe na-aga ịpụta ìhè.”
6 Asịrị m, “Gịnị ka ọ bụ?”
Ọ sịrị, “Ọ bụ nkata.”* O kwukwara, “Nke a bụ mmehie nke ndị niile bi n’ala a.”
7 Ngwangwa, e kpughepụrụ okwuchi nkata ahụ, ma lee, ahụrụ m otu nwanyị
nọdụrụ ọdụ n’ime ya. 8 Ọ sịrị, “Nke a bụ ajọ omume.” O nughachiri ya azụ n’ime
nkata ahụ werekwa okwuchi nkata ahụ kpuchie ya.
9 Mgbe ahụ, eleliri m anya hụ ụmụ nwanyị abụọ ọzọ, ndị ikuku na-efe nku ha. Ha
nwere nku dịka nku ụgbala. Ha buliri nkata ahụ elu n’etiti eluigwe na ala.
10 Ajụrụ m mmụọ ozi ahụ na-agwa m okwu, “Ebee ka ha bu nkata ahụ na-aga?”
11 Ọ gwara m, “Ha bu ya na-aga Babilọn† ebe ha ga-ewuru ya ụlọ. Mgbe ha wuchara
ụlọ ahụ, ha ga-adọba nkata ahụ n’elu ihe ndọkwasị.”

# 6

*Ụgbọala anọ*

1 Elelikwara m anya elu ọzọ hụ ụgbọ ịnyịnya anọ nke si n’etiti ugwu abụọ na-apụta.
Ugwu ndị a bụ ugwu e ji bronz mee. 2 Ụgbọ ịnyịnya nke mbụ ka ịnyịnya na-acha
ọbara ọbara na-adọkpụ. Nke abụọ ka ịnyịnya na-eji nji na-adọkpụ. 3 Nke atọ ka
ịnyịnya dị ọcha na-adọkpụ, ma nke anọ ka ịnyịnya tụrụ agwa siekwa ike na-adọkpụ.
4 Ajụrụ m mmụọ ozi ahụ na-agwa m okwu, “Gịnị ka ihe ndị a bụ, nna m ukwu?”
5 Mmụọ ozi ahụ zara m, sị, “Ndị a bụ mmụọ anọ* nke eluigwe, ka ha na-apụ mgbe ha
guzochara n’ihu ONYENWE elu ụwa niile. 6 Ụgbọala nke ịnyịnya ndị dị oji na-adọkpụ
na-aga n’akụkụ ugwu. Nke ịnyịnya ndị dị ọcha na-adọkpụ na-aga n’ọdịda anyanwụ.
Nke ahụ ndị ịnyịnya na-adịghị ezi ọcha na-adọkpụ na-aga n’akụkụ ndịda.”
7 Mgbe ịnyịnya ndị ahụ dị ike pụtara, chọọ ka e nye ha ike ijegharị n’ụwa niile, ọ
gwara ha sị, “Gaanụ jegharịa n’ụwa niile.” N’ihi ya, ha pụrụ jegharịa n’ụwa niile.
8 Mgbe ahụ, ọ gwara m, “Ndị ahụ jere n’akụkụ ugwu emeela ka Mmụọ m dajụọ
n’ala dị n’akụkụ ugwu.”

*Okpueze Joshua*

* **5:6** 5:6 Maọbụ, ihe ọtụtụ Efa. † **5:11** 5:11 Ya bụ, Shaịna * **6:5** 6:5 Maọbụ, ikuku

9 Okwu ONYENWE ANYỊ ruru m ntị, sị, 10 “Gaa nata Heldai, Tobaija na Jedaya, ndị a
dọtara n’agha si Babilọn lọta ọlaọcha na ọlaedo. N’otu ụbọchị ahụ, gakwaa n’ụlọ
Josaya nwa Zefanaya. 11 Jiri ọlaọcha na ọlaedo ahụ kpụọ otu okpueze, were ya
kpukwasị Joshua nwa Jehozadak bụ onyeisi nchụaja n’isi. 12 Gwa ya na ihe ndị a
ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, ‘Nke a bụ nwoke ahụ aha ya bụ
Ngalaba. Ọ ga-esi n’ebe nke ya wapụta wuo ụlọnsọ ukwu nke ONYENWE ANYỊ. 13 Ọ
bụ ya ga-arụ ụlọnsọ ukwu nke ONYENWE ANYỊ. A ga-eyikwasịkwa ya ịma mma dịka
uwe, ọ ga-anọdụ n’ocheeze ya na-achị. Ọ ga-abụ onye nchụaja ga-anọ n’ocheeze ya,
mee ka ịdị n’otu dịrị n’etiti ha abụọ.’ 14 Okpueze ahụ ka a ga-enye Heldaya, Tobaija,
Jedaya na Hen, nwa Zefanaya, ka ọ bụrụ ihe ncheta n’ụlọnsọ ukwu nke ONYENWE
ANYỊ. 15 Ndị nọ n’ebe dị anya ga-esi ebe ahụ bịa nye aka n’ọrụ iwu ụlọnsọ ukwu nke
ONYENWE ANYỊ. Unu ga-amatakwa na ọ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
zitere m ịbịakwute unu. Ihe ndị a niile ga-eme ma ọ bụrụ na unu akpachapụ anya
rubere ONYENWE ANYỊ Chineke unu isi.”

# 7

*Obi ebere na ikpe ziri ezi*

1 N’afọ nke anọ nke ọchịchị eze Daraiọs, okwu nke ONYENWE ANYỊ ruru Zekaraya ntị
n’ụbọchị nke anọ, n’ọnwa nke itoolu, nke bụ ọnwa Kislev. 2 N’oge a, ndị bi n’obodo
Betel ezitela Shareza, na Regem Melek, ha na ndị ọzọ ka ha bịa rịọọ ONYENWE ANYỊ
arịrịọ, 3 ka ọ jụkwaa ndị nchụaja nọ n’ụlọnsọ ukwu nke ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ
ime ihe niile, na ndị amụma, sị, “Ọ bụ m ruo ụjụ, bukwaa ọnụ n’ọnwa nke ise, dịka
m si eme kemgbe ọtụtụ afọ ndị a gara aga?”

4 Mgbe ahụ, okwu nke ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile ruru m ntị, 5 “Gwanụ
ndị nchụaja na ndị niile bi n’ala a, ‘Mgbe unu na-ebu ọnụ n’ọnwa nke ise ọbụla, na
n’ọnwa nke asaa ọbụla, iri afọ asaa ndị a niile gara aga, ọ bụ mụ ka unu na-eburu
ọnụ? 6 Mgbe unu na-eri na-aṅụkwa, ọ bụ na unu anaghị eme ya maka n’ihi onwe
unu? 7 Ihe ndị a ha ọ bụghị okwu niile ONYENWE ANYỊ kpọsara site n’ọnụ ndị amụma
mbụ, mgbe Jerusalem na obodo niile dị ya gburugburu nọ n’udo* nwekwa ọganihu,
n’oge ndị mmadụ bi na Negev, ya na ala ndịda ugwu niile?’ ”

8 Mgbe ahụ, okwu nke ONYENWE ANYỊ ruru Zekaraya ntị na-asị, 9 “Ihe ndị a ka
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, ‘Kpeenụ ikpe ziri ezi, meerenụ ibe
unu ebere, ma gosikwa ibe unu ọmịiko. 10 Unu emegbula ụmụ nwanyị di ha nwụrụ
maọbụ nwa na-enweghị nne na nna maọbụ ndị ọbịa maọbụ ndị ogbenye. Unu echela
echiche ọjọọ n’obi unu megide ibe unu.’

11 “Ma ha jụrụ ige ntị; ha sitere n’obiike ha gbakụta m azụ ha, were mkpịsịaka
rụchie ntị ha, ka ha ghara ige m ntị. 12 Ha mere ka obi ha sie ike dịka nkume, jụ ige
ntị n’iwu, na n’okwu nke ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile sitere na Mmụọ ya
zie ndị amụma mbụ ahụ. N’ihi ya, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile were oke
iwe.

13 “ ‘Ebe ọ bụ na mgbe m kpọrọ ha, ha egeghị ntị, agaghị m ege ntị mgbe ha ga-
akpọ m,’ Ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu. 14 ‘Eji m oke ifufe
gbasasịa ha n’etiti mba niile, ndị ha na-amaghị. Emere m ka ala ha tọgbọrọ n’efu,
ka mmadụ ọbụla hapụ inwe ike ịpụ maọbụ ịbata n’ime ya. Otu a ka ha si mee ka
ala ọma ahụ ghọọ ala tọgbọrọ n’efu.’ ”

# 8

*ONYENWE ANYỊ ekwe nkwa ịgọzi Jerusalem*

* **7:7** 7:7 Ya bụ, ndị Jụụ

1 Okwu Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile ruru m ntị na-asị,
2 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru: “Ana m ekwo ekworo
dị ukwuu n’ihi Zayọn. N’ezie, ekworo ahụ na-anụ m ọkụ dị ukwuu n’ahụ.”
3 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị kwuru, “Aga m alọghachi na Zayọn, bịa biri na
Jerusalem. Mgbe ahụ, a ga-akpọ Jerusalem, obodo Eziokwu. A ga-akpọkwa ugwu
Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile Ugwu Nsọ.”
4 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, “Agadi ndị ikom na
agadi ndị inyom ga-anọdụkwa ala ọzọ na mbara ụzọ niile nke Jerusalem, onye ọbụla
ga-ejidekwa mkpara n’aka ya* n’ihi ọnụọgụgụ afọ ha gbara. 5 Okporoụzọ nke obodo
ahụ niile ga-ejupụtakwa n’ụmụntakịrị ndị nwoke na ndị nwanyị na-egwugharị egwu
na ama ebe ahụ.”
6 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, “O nwere ike bụrụ
na ihe ndị a ga-adị ka ihe dịkarịrị ike imezu n’anya ndị ahụ ga-afọdụ n’oge ahụ, ma
ọ ga-abụ ihe dịkarịrị ike ime n’anya m?” Otu a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe
niile kwubiri.
7 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, “Aga m azọpụta
ndị m site na mba niile dị n’ọwụwa anyanwụ na n’ọdịda anyanwụ. 8 Aga m
akpọghachitekwa ha, mee ka ha biri na Jerusalem. Ha ga-abụkwa ndị m, mụ onwe
m ga-abụ Chineke ha, onye ezi omume na onye kwesiri ntụkwasị obi.”
9 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru: “Ka aka unu sie ike,†
ka enwe ike wuo ụlọnsọ a, unu ndị na-anụ ugbu a otu okwu ahụ, nke ndị amụma
kwuru mgbe a tọrọ ntọala iwugharị ụlọnsọ m, bụ ụlọ Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime
ihe niile. 10 Tupu ụbọchị ahụ, akwụbeghị ma ndị mmadụ ma ụmụ anụmanụ ụgwọ
ọrụ ha. Ọ dịghịkwa udo dịrị onye ọbụla na-apụ apụ maọbụ onye na-abata abata n’ihi
ndị iro ya, ebe m mere ka onye ọbụla bụrụ onye na-emegide ibe ya. 11 Ma ugbu a,
agaghị m emeso ndị fọdụrụ n’ala a, dịka m si meso ha n’oge gara aga.” Otu a ka
Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwupụtara.
12 “N’ihi na mkpụrụ ga-eto nke ọma, osisi vaịnị ga-amị mkpụrụ ya, ala ubi ga-
ewepụtakwa ihe omume, igirigi eluigwe ga-ezokwasịkwa ala. Ihe ndị a niile ka m
ga-enye ndị fọdụrụ n’ala a ka ọ bụụrụ ha ihe nketa. 13 Dịka unu bụ Juda na Izrel si
bụrụ ihe a na-abụ ọnụ n’etiti mba dị iche iche, otu a ka m ga-esi zọpụta unu, unu
ga-abụkwa ngọzị. Unu atụla ụjọ, kama meenụ ka aka unu sie ike n’ọrụ unu.”
14 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, “Dịka m si kpebie
ime ka ihe ọjọọ bịakwasị unu, na dịka m na-egosighị ebere n’ahụ nna nna unu ha
mgbe ha kpasuru m iwe,” ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu, 15 “otu
a ka m kpebikwara ọzọ n’ụbọchị ndị a imere Jerusalem na Juda ihe ọma. Unu atụla
ụjọ. 16 Ihe ndị a ka unu ga-eme: Kwuonụ eziokwu nye ibe unu, kpeenụ ikpe eziokwu
n’ụlọikpe unu, nke a na-eweta udo. 17 Unu echela echiche ọjọọ megide ibe unu; unu
ahụla ịñụ iyi ụgha n’anya. Ihe ndị a niile ka m kpọrọ asị,” otu a ka Onyenwe anyị
kwubiri ya.
18 Okwu Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile ruru m ntị na-asị,
19 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu: “Ibu ọnụ unu
na-ebu n’ọnwa nke anọ, ọnwa nke ise, ọnwa nke asaa na n’ọnwa nke iri ga-aghọrọ
unu oge ịñụrị ọñụ na oge obi ụtọ. Ha ga-abụrụ Juda mmemme obi ụtọ. N’ihi ya,
hụnụ eziokwu na udo n’anya.”
20 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwukwa: “Ndị dị iche
iche na ndị bi n’ọtụtụ obodo dị iche iche ka ga-abịa. 21 Ndị bi n’otu obodo ga-ejekwa
n’obodo ọzọ, sị, ‘Ka anyị jee na-atụfughị oge gaa rịọọ Onyenwe anyị arịrịọ, ka anyị
chọọnụ Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile. Mụ onwe m na-ejekwa.’ 22 Ọtụtụ

* 8:4 8:4 E ji mara ndị agadi. † 8:9 8:9 O nwekwara ike ị bụ, ka obi sie unu ike

ndị mmadụ na ọtụtụ mba dị ike ga-abịa Jerusalem ịchọ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, na ịrịọ ya arịrịọ."

23 Ihe ndị a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru, "N'ụbọchị ndị ahụ, mmadụ iri, ndị ga-esi na mba dị iche iche, ndị na-asụkwa asụsụ dị iche iche, ga-ejide otu onye Juda aka n'ọnụ ọnụ uwe ya na-asị, 'Kwere ka anyị soro gị jee, n'ihi na anyị anụla na Chineke nọnyeere unu.' "

# 9

*Ikpe ọmụma megide ndị iro Izrel*

1 Okwu Amụma.
Nke a bụ okwu ONYENWE ANYỊ megide ala Hadrak,
na obodo Damaskọs ka ọ ga-ezukwa ike,
n'ihi n'ebe ONYENWE ANYỊ nọ ka anya mmadụ niile
na ebo niile nke Izrel dị.
2 Otu ahụkwa ka ọ dị Hamat, nke dị ya nso;
tinyekwara Taịa na Saịdọn, ọ bụ ezie na ha bụ ndị maara ihe nke ukwu.
3 Taịa ewuolara onwe ya ebe e wusiri ike,
tụkọba ọlaọcha dịka aja,
na ọlaedo dịka uzuzu nke okporoụzọ.
4 Ma Onyenwe anyị ga-anapụ ya ihe niile o nwere
ọ ga-atụnye ike ya n'oke osimiri,
ọ ga-ejikwa ọkụ repịa ya.
5 Ashkelọn ga-ejupụta n'ụjọ mgbe ọ ga-ahụ ihe ndị a ka ha na-eme.
Gaza kwa, ga-aṅagharị onwe ya n'ime oke ihe mgbu.
Ọ bụladị Ekrọn ga-ama jijiji n'ụjọ mgbe ha hụrụ na olileanya ha agwụla.
A ga-anapụ Gaza eze ya ma gbukwaa ya.
Ọ dịghị onye ọbụla ga-ebikwa n'Ashkelọn.
6 Ụmụ amụtara n'ịkwa iko ga-ebichi obodo Ashdọd,
aga m emekwa ka mpako ndị Filistia ndị a kwụsị.
7 Aga m wezuga ọbara niile site n'ọnụ ha,
wezugakwa ihe rụrụ arụ niile site n'etiti eze ya.
Ndị niile fọdụrụ ga-abụ ndị nke Chineke anyị,
ha ga-adị ka otu agbụrụ na Juda.
Ekrọn ga-adịkwa ka ndị Jebus.
8 Aga m echebe ụlọ m dịka onye nche,
ka ndị iro ghara ịbata na ya.
Ndị mkpagbu agaghị emerikwa ndị m ọzọ n'agha,
n'ihi na anọ m na nche ugbu a.

*Ọbịbịa nke eze Zayọn*

9 Ṅụrịa ọṅụ nke ukwuu, gị Ada Zayọn!
Tie mkpu ọṅụ, gị Ada Jerusalem!
N'ihi na lee, eze gị na-abịakwute gị,
onye ezi omume na onye nwere mmeri,
onye ewedara n'ala, nke na-anọkwasị n'elu ịnyịnya ibu,
ọ bụladị n'elu nwa ịnyịnya ibu, nwa ịnyịnya na-ebu ibu.
10 Ọ ga-ewezuga ụgbọ ịnyịnya niile nke Ifrem,
na ịnyịnya agha niile nke Jerusalem;
a ga-agbajikwa ụta agha.
Ọ ga-ewetara mba niile udo,

ọchịchị ya ga-esite n’otu oke osimiri ruo n’osimiri nke ọzọ,
sitekwa n’Osimiri Yufretis ruo na nsọtụ niile nke ụwa.
11 Ma gị onwe gị kwa, aga m eme ka ndị a tụrụ mkpọrọ n’olulu nke mmiri na-adịghị nwere onwe ha,
n’ihi ọbara nke ọgbụgba ndụ ahụ mụ na unu gbara.
12 Lọghachinụ n’ebe unu niile e wusiri ike, unu bụ ndị mkpọrọ nwere olileanya.
Ọ bụladị taa, ana m ekwupụta ya na m ga-eme ka unu lọta, gọziekwa unu okpukpu abụọ.
13 Aga m agbagọ Juda dịka m si ekwe ụta m,
tinye Ifrem dịka àkụ.
Aga m akwali ụmụ gị ndị ikom, gị Zayọn,
ka ha megide ụmụ ndị ikom ndị Griis.
Aga m eme gị ka ị dịrị ka mma agha dị n’aka dike n’agha.

### *Onyenwe anyị ga-egosi onwe ya*

14 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị ga-egosi onwe ya n’ebe dị elu karịa ha,
àkụ ya ga-efekwa dịka amụma.
Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị ga-afụ opi ike,
ọ ga-azọkwa ije n’oke ifufe nke si na ndịda.
15 Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile ga-echebe ha.
Ha ga-ebibi,
zọdakwa nkume ịtụ iche n’ebe niile.
Ha ga-aṅụ ihe ọṅụṅụ mekwa mkpọtụ site na mmanya;
ha ga-ejupụta dịka efere,
dịka efere eji efesa ihe n’akụkụ niile ebe a na-achụ aja na-ejupụta.
16 Mgbe ụbọchị ahụ bịara, Onyenwe anyị bụ Chineke ha ga-azọpụta ndị ya,
dịka onye ọzụzụ atụrụ si azọpụta igwe ewu na atụrụ ya.
Ha ga-acha, na-egbuke n’ala ya, dịka nkume dị oke ọnụahịa
e tinyere n’okpueze si na-egbuke.
17 N’ezie, lee ka ịdị mma nke ala ahụ si dị ukwuu! Leekwa ka ịma mma ya si dị ukwuu!
Mkpụrụ ubi ga-eme ka ụmụ okorobịa tozuo oke nke ọma,
mmanya vaịnị ọhụrụ ga-emekwa ka ụmụ agbọghọ doo ahụ.

# 10

### *Onyenwe anyị ga-elekọta Juda*

1 Rịọọnụ Onyenwe anyị mmiri ozuzo n’oge mmiri ozuzo nke ikpeazụ,
n’ihi na ọ bụ Onyenwe anyị na-ezite oke amụma mmiri.
Ọ bụ ya na-enye ụmụ mmadụ mmiri ozuzo,
na-enyekwa mmadụ niile ihe ọkụkụ nke ubi.
2 Arụsị niile na-ekwu okwu aghụghọ,
ndị na-agba aja n’ahụ ọhụ bụ ụgha,
ndị ha na-arọ nrọ, na-akọwakwa nrọ ụgha,
okwu nkasiobi nke ihe na-adịghị n’ime ya ka ha na-enye.
Ya mere, ndị mmadụ na-akpagharị dịka atụrụ
a na-akpagbu ha n’ihi enweghị onye ọzụzụ atụrụ.

3 “Iwe m na-ere ọkụ megide ndị ọzụzụ atụrụ,
aga m atakwa ndị ndu* niile ahụhụ;

* **10:3** 10:3 Ọ bụ mkpi na-ebuta ụzọ mgbe ha na-aga n’igwe.

n’ihi na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
ga-elekọta igwe anụ ụlọ ya, ya bụ ndị Juda,
ọ ga-eme ka ha dịrị ka ịnyịnya dị ebube n’agha.
4 A ga-esi na Juda nweta nkume bụ ide ji ụlọ,†
a ga-esi na ha nweta ǹtu ụlọ ikwu,
a ga-esi na ha nweta ụta a kwadoro maka agha,
sitekwa na ha nweta ndị ndu dị iche iche.
5 Ha niile ga-ejikọta onwe ha ọnụ, dịka ndị bụ dike n’agha,
ha ga-azọda ndị iro ha n’apịtị nke okporoụzọ niile.
N’ihi na ONYENWE ANYỊ nọnyeere ha,
ha ga-alụgbukwa ndị iro niile na-agba ịnyịnya.

6 “Aga m eme ka ụlọ Juda dị ike,
zọpụtakwa ụlọ Josef.
Aga m eme ka ha lọghachita,
n’ihi na aga m egosi ha obi ebere.
Ha ga-adị
ka ndị m na-ajụghị mgbe ọbụla,
n’ihi na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ Chineke ha,
aga m azakwa arịrịọ ha.
7 Ndị Ifrem ga-aghọ ndị dị ike n’agha,
ha ga-enwe ọṅụ dịka ndị na-aṅụ mmanya.
Ụmụ ha ga-ahụ ya ṅụrịakwa ọṅụ,
ha ga-ejikwa obi ha niile ṅụrịa ọṅụ n’ime ONYENWE ANYỊ.
8 Mgbe ahụ, aga m akpọ ha oku,
chịkọtaa ha.
N’ezie, aga m agbapụta ha,
ha ga-adịkwa ukwuu dịka ha dị na mbụ.
9 A sịkwarị na m chụsara ha n’etiti ndị dị iche iche,
ma ha ga-echeta m site n’ala niile ahụ dị anya.
Ha na ụmụ ha ga-adịkwa ndụ;
ha ga-alọtakwa.
10 Aga m esi n’ala Ijipt kpọlata ha,
sitekwa n’Asịrịa chịkọtaa ha.
Aga m akpọta ha na Gilead na Lebanọn.
Ha agaghị enwekwa ebe ga-ezuru ha niile.
11 Ha ga-esi n’osimiri nsogbu gafee.
A ga-emekwa ka mmali elu nke osimiri dajụọ.
Ebe obibi niile nke osimiri Naịl ga-atakọrọkwa.
A ga-egbuda mpako niile nke Asịrịa,
wezugakwa mkpara ọchịchị nke ndị Ijipt.
12 Aga m eme ka ha dị ike n’ime ONYENWE ANYỊ,
ọ bụkwa n’aha ya ka ha ga na-ejegharị n’udo.”
Otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri.

# 11

1 Meghee ọnụ ụzọ gị niile, gị Lebanọn.
Ka ọkụ repịa osisi sida gị niile.
2 Kwasie akwa ike, gị osisi junipa, n’ihi na osisi sida adaala,

† **10:4** 10:4 Maọbụ, nkume nkuku ụlọ

n’ihi na e mebiela osisi ukwu ndị niile ahụ mabigara mma oke.
Kwasienụ akwa ike, unu osisi ook nke Bashan,
n’ihi na e gbudachala oke ọhịa ahụ!
3 Gee ntị n’ụzụ akwa nke ndị ọzụzụ atụrụ,
e mebiela ebe ịta nri mara mma nke anụ ụlọ ha.
Gee ntị ka unu nụrụ olu mbigbọ nke ụmụ ọdụm,
n’ihi na e bibiela oke ọhịa nke Jọdan.

### *Ndị ọzụzụ atụrụ abụọ*

4 Ihe ndị a ka Onyenwe anyị Chineke m kwuru, “Zụọnụ igwe ewu na atụrụ ndị
a ga-egbu egbu nri. 5 Ndị na-azụrụ ha na-egbu ha ma ọ dịghị ahụhụ na-abịakwasị
ha. Ndị na-erekwa ha na-asị, ‘Toonu Onyenwe anyị, n’ihi na abụ m ọgaranya.’ Ndị
ọzụzụ ha adịghị enwe ọmịiko n’ahụ ha. 6 N’ihi na mụ onwe m agakwaghị egosi ndị
ala a obi ebere.” Otu a ka Onyenwe anyị kwubiri. “Aga m ewere onye ọbụla n’ime
ha nyefee n’aka onye agbataobi ya, na n’aka eze ha. Ha ga-ebibi ala a kpamkpam,
ma mụ onwe m agaghị anapụta onye ọbụla site n’aka ha.”
7 N’ihi ya, azụrụ m igwe ewu na atụrụ ndị ahụ a ga-egbu egbu, nke ka nke, ndị ahụ
a na-emegbu emegbu. Eweere m mkpanaka abụọ, kpọọ otu n’ime ha Amara, kpọọ
nke ọzọ Ịdị n’otu. Azụkwara m igwe atụrụ ndị ahụ. 8 N’ime otu ọnwa, ewezugara m
ndị ọzụzụ atụrụ atọ.
Igwe ewu na atụrụ ndị ahụ kpọkwazịrị m asị, enwezighị m ike nweere ha ndidi.
9 N’ihi ya, ekwuru m si, “Agaghị m abụkwa onye ọzụzụ atụrụ unu ọzọ. Nke ọbụla
na-anwụ, ya nwụọ, ọzọ, nke na-ala n’iyi, ya laa n’iyi. Ka ndị fọdụrụ rie anụ ahụ ibe
ha.”
10 Mgbe ahụ, eweere m mkpanaka m, nke a kpọrọ Amara gbajie ya abụọ, igosi na
emebiela m ọgbụgba ndụ nke mụ na ndị mmadụ gbara. 11 N’ụbọchị ahụ ka e mere
ka ọgbụgba ndụ ahụ gharakwa ịdị. Mgbe ahụ, ndị ahụ a na-akpagbu n’etiti igwe
ewu na atụrụ ahụ, bụ ndị na-ele m anya matara na ọ bụ okwu Onyenwe anyị.
12 Mgbe ahụ, agwara m ha, “Ọ bụrụ na ọ masịrị unu, unu kwụọ m ụgwọ ọrụ m, ọ
bụrụkwa na ọ masịghị unu, deberenụ onwe unu ego unu.” N’ihi nke a, ha gụpụtara
mkpụrụ ego ọlaọcha iri atọ, jiri ya kwụọ m ụgwọ.
13 Onyenwe anyị gwara m, “Tụpụrụ ya ọkpụ ite,” bụ ọnụahịa magburu onwe ya
bụ nke ha rụrụ n’isi m. Ya mere, eweere m iri ọlaọcha atọ ahụ tụpụrụ ya ọkpụ ite
n’ụlọnsọ ukwu nke Onyenwe anyị.
14 Mgbe ahụ, agbajiri m mkpanaka m nke abụọ a na-akpọ Ịdị n’otu, izipụta na
njikọta maọbụ ịdị n’otu dị n’etiti Juda na Izrel adịghịkwa.
15 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị gwara m, “Chịrịkwa ngwa ọrụ nke onye ọzụzụ atụrụ
nzuzu ahụ, 16 n’ihi na ana m aga ịkpọlite otu onye ọzụzụ atụrụ nke na-agaghị elekọta
ụmụ atụrụ furu efu, maọbụ chọọ ndị na-etolite, maọbụ gwọọ ndị merụrụ ahụ, maọbụ
nye ndị ahụ dị ike nri. Kama ọ ga-eri anụ atụrụ ndị ahụ ahụ ha dị mma, nyakapụkwa
ụkwụ ha niile.
17 “Ahụhụ dịrị onye ọzụzụ atụrụ ahụ na-abaghị uru,
nke na-adịghị elezi igwe ewu na atụrụ ya anya.
Ka mma agha gbupụ ya otu aka, ghụpụkwa ya anya aka nri ya.
Ka ogwe aka ya kpọnwụọkwa kpamkpam.
Otu a, anya aka nri ya ga-akpọkwa.”

## 12

### *Mbibi dịrị ndị iro Jerusalem*

1 Nke a bụ okwu nke Onyenwe anyị banyere Izrel. Ọ bụ amụma.

ONYENWE ANYỊ, onye gbasapụrụ eluigwe niile, onye tọrọ ntọala ụwa, na onye kpụrụ
mmụọ nke dị n'ime mmadụ, ekwupụtala, sị, 2 "Agaje m ime Jerusalem ka ọ bụrụ
iko mmanya nke ga-aṅagharị ndị niile gbara ya gburugburu. Ha ga-agba Juda na
Jerusalem gburugburu, nọbichie ụzọ ya niile. 3 N'ụbọchị ahụ, mgbe mba niile nke
ụwa chịkọtara onwe ha ọnụ imegide ya, aga m eme Jerusalem ka ọ ghọọrọ mba ndị
ahụ niile nkume dị ukwuu nke a na-apụghị inugharị enugharị. Ndị niile ga-agbalị
inugharị ya ga-emerụ onwe ha ahụ. 4 N'ụbọchị ahụ, aga m etinye ụjọ n'obi ịnyịnya
niile, mee ka ndị na-agba ha ghọọ ndị ara," otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri. "Aga m
asaghe anya m lekwasị ụlọ Juda nke ọma, ma aga m eme ka ịnyịnya niile nke mba
niile kpuo ìsì. 5 Mgbe ahụ, ndị ndu Juda ga-ekwu n'obi ha sị, 'Ndị Jerusalem achọtala
ike n'ihi na ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, bụ Chineke ha.'

6 "N'ụbọchị ahụ, aga m eme ka ndị ndu Juda niile dịrị ka ite ọkụ, nke a dọnyere
n'ebe a chịkọtara nkụ. Ha ga-adịkwa ka ọkụ na-enwu enwu, nke dị n'etiti ukwu
ọka. Ha ga-ere ọkụ n'aka nri na n'aka ekpe, rechapụ ndị niile bi gburugburu ha. Ma
mmadụ ga-ejupụtakwa n'ime Jerusalem.

7 "ONYENWE ANYỊ ga-ebu ụzọ zọpụta ebe obibi niile nke Juda, ime ka ugwu na
nsọpụrụ nke ụlọ Devid, na nke ndị niile bi na Jerusalem ghara ịdị ukwuu karịa nke
Juda. 8 N'ụbọchị ahụ, ONYENWE ANYỊ ga-echebe ndị bi na Jerusalem, mee ka ọ bụladị
ndị na-asọ ngọngọ n'etiti ha dịrị ike dịka Devid. Ụlọ Devid ga-adịkwa ka Chineke,
dịka Mmụọ ozi ONYENWE ANYỊ, onye na-eje n'ihu ha. 9 N'ụbọchị ahụ, aga m ebido
ibibi mba ndị ahụ niile na-ebuso Jerusalem agha.

### *Iru ụjụ banyere onye ahụ a mapuru ahụ*

10 "Mgbe ahụ, aga m awụkwasị n'ụlọ Devid na ndị niile bi na Jerusalem, mmụọ nke
amara na nke arịrịọ amara. Ha ga-elegidekwa m anya, bụ onye ahụ ha mapuru ahụ.
Ha ga-eru ụjụ n'ihi ya, dịka mmadụ si eru ụjụ n'ihi ọnwụ nke nwa a mụrụ naanị
ya. Ha ga-ebekwa akwa ilu nke ukwuu dịka mmadụ sị ebe akwa maka nwa mbụ ya.
11 N'ụbọchị ahụ, akwa a ga-akwa na Jerusalem ga-adị ukwuu, dịka akwa nke Hadad
Rimọn n'obosara ala Megido. 12 Ndị ala ahụ niile ga-eru ụjụ. Ikwu ọbụla ga-eru ụjụ
nke ha, ha na ndị nwunye ha. Ikwu Devid na ndị nwunye ha, na ikwu Netan na ndị
nwunye ha, 13 na ikwu Livayị, na ndị nwunye ha, na ikwu Shimei na ndị nwunye ha,
14 na ikwu ndị ọzọ niile na ndị nwunye ha.

## 13

### *Nsachapụ mmehie*

1 "N'ụbọchị ahụ, a ga-emeghe isi iyi mmiri nye ụlọ Devid na ndị niile bi na
Jerusalem. Ọ ga-abụ isi iyi a ga-eji sachapụ mmehie na adịghị ọcha ha niile.

2 "N'ụbọchị ahụ, otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, kwubiri, aga m
ebipụ aha arụsị niile dị n'ala ahụ, a gaghị echetakwa ha ọzọ. Aga m esitekwa n'ala a
wezuga ma ndị amụma ma mmụọ nke adịghị ọcha niile. 3 Ọ bụrụkwa na onye ọbụla
a ga n'ihu na-ebu amụma, nne na nna ndị mụrụ ya ga-asị ya, 'Ị ghaghị ịnwụ n'ihi na
i kwuola okwu ụgha n'aha ONYENWE ANYỊ.' Mgbe onye dị otu a bukwara amụma, ọ
bụ nne na nna ya ga-eji ùbe magbuo ya.

4 "N'ụbọchị ahụ, ihere ga-emekwa ndị amụma n'ihi ibu amụma banyere ọhụ nke
ha hụrụ. Ha agaghị eyikwa uwe ajị anụ nke ndị amụma na-eyi n'ihi iduhie ndị
mmadụ, 5 Onye ọbụla n'ime ha ga-asịkwa, 'Abụghị m onye amụma, onye ọrụ ubi ka
m bụ, ọ bụ ihe si n'ala ka m ji azụ onwe m site na mgbe m bụ okorobịa.' 6 Ọ bụrụ
na onye ọbụla ajụọ, 'Gịnị bụ ọnya ndị a niile dị gị n'ahụ?' Ha ga-azaghachi, 'Ọnya
ndị etipụtara m n'ụlọ ndị enyi m.'

### *Tigbuo onye ọzụzụ atụrụ, igwe atụrụ agbasasịa*

7 “Teta n’ụra, gị mma agha, imegide onye ọzụzụ atụrụ m,
na imegide nwoke ibe m, nke nọ m nso,”
otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwubiri.
“Tigbuo onye ọzụzụ atụrụ,
igwe atụrụ* ga-agbasasịkwa.
Aga m eweli aka m megide ndị dị nta.
8 N’ala ahụ niile,” otu a ka ONYENWE ANYỊ kwubiri ya,
“Ụzọ mmadụ abụọ n’ime ụzọ atọ ka a ga-etida,
ma otu ụzọ n’ime ụzọ atọ ga-afọdụ n’ime ya.
9 Otu ụzọ n’ime ụzọ atọ a fọdụrụ ka m ga-ewebata n’ime ọkụ.
Aga m eji ọkụ nụchaa ha dịka e si anụcha ọlaọcha,
jiri ọkụ nwaa ha dịka e si anwa ọlaedo.
Ha ga-akpọku aha m,
aga m azakwa ha.
Aga m asịkwa, ‘Ndị a bụ ndị m,’
Ha onwe ha ga-asịkwa, ‘ONYENWE ANYỊ bụ Chineke anyị.’ ”

# 14

*ONYENWE ANYỊ na-abịa Ịchị*

1 Lee, ụbọchị ONYENWE ANYỊ na-abịa, mgbe a ga-ekesa ihe nkwata gị niile n’etiti
mgbidi gị.
2 Aga m achịkọta mba niile ka ha bịa Jerusalem ibuso ya agha. Ha ga-adọta obodo
ahụ n’agha, tụtụkọọ ihe dị n’ụlọ niile, dinaa ndị inyom n’ike. A ga-adọta ọkara ndị
bi n’obodo ahụ n’agha, duru ha gaa mba ọzọ. Ma ọkara nke ọzọ ka ha ga-ahapụ.
3 Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ ga-apụ ibuso ndị mba ọzọ ahụ agha, dịka o si ebu agha
n’ụbọchị agha. 4 N’ụbọchị ahụ, ụkwụ ya ga-eguzo n’elu Ugwu Oliv, nke dị n’ọwụwa
anyanwụ Jerusalem. Mgbe ahụ, Ugwu Oliv ga-ekewa abụọ, mee ka ndagwurugwu
buru ibu dịrị site n’ọwụwa anyanwụ ruo n’ọdịda anyanwụ. N’ihi ya, ugwu ahụ ga-
eke onwe ya abụọ. Otu akụkụ ga-adị n’ugwu, nke ọzọ ga-adị n’ụzọ ndịda. 5 Unu
ga-esi na ndagwurugwu nke ugwu m ahụ gbalaga, n’ihi na ndagwurugwu ahụ ga-eru
Azel. Unu ga-agbapụ dịka unu si gbapụ n’oge gara aga, mgbe ala ọma jijiji ahụ, n’oge
Uzaya bụ eze Juda. Mgbe ahụ, ONYENWE ANYỊ Chineke m ga-abịa, ya na ndị nsọ ya.
6 N’ụbọchị ahụ, ìhè anyanwụ agaghị adị, oyi agaghị adị, mkpụrụ mmiri agaghị
adịkwa. 7 Ọ ga-abụ ụbọchị pụrụ iche, ụbọchị ehihie na abalị na-agaghị adịkwa. Ọ
bụ ụbọchị nke naanị ONYENWE ANYỊ maara. Ma ìhè ga-adịkwa n’oge anyasị.
8 N’ụbọchị ahụ, mmiri na-enye ndụ ga-esi na Jerusalem na-asọpụta. Ọ ga-ekewa
abụọ, ọkara ya ga-asọbanye n’osimiri Nnu dị n’ihu anyanwụ ebe ọkara nke ọzọ
ga-asọbanye n’osimiri Mediterenịa dị n’ọdịda anyanwụ. Ha ga na-asọ n’ọkọchị na
n’udu mmiri.
9 Ma ONYENWE ANYỊ ga-abụ eze n’elu ụwa niile. N’ụbọchị ahụ, naanị otu ONYENWE
ANYỊ ga-adị, naanị aha ya kwa ka a ga na-efe ofufe.
10 Ala niile, site na Geba ruo Rimọn, nke dị na ndịda Jerusalem ga-adị ka ọzara.
Ma ọ bụ naanị Jerusalem ga-adị n’ebe lara elu. Ọ ga-adịkwa n’ọnọdụ ya site n’ọnụ
ụzọ ama nke Benjamin ruo n’ebe ọnụ ụzọ ama nke Mbụ, ruo n’ọnụ ụzọ ama nke dị
n’Akụkụ, sitekwa n’Ụlọ elu Hananel ruo n’ebe a na-azọchapụta mmanya eze. 11 A
ga-ebiju na ya na-enweghị nsogbu. A gaghị emebikwa ya ọzọ. Jerusalem ga-ebikwa
n’udo na-atụghị egwu.
12 Nke a bụ ọrịa ọjọọ nke ONYENWE ANYỊ ga-eji kụda mba niile buru agha megide
Jerusalem. Anụ ahụ ha ga-ere ure mgbe ha ka guzo ọtọ. Anya ha ga-erekwa ure, ire

* **13:7** 13:7 Ya bụ, igwe atụrụ nke ọ na-achị

ha ga-erekwa ure n’ọnụ ha. [13] N’ụbọchị ahụ, ONYENWE ANYỊ ga-etinye ndị mmadụ
oke ụjọ n’obi. Oke ọgbaaghara ga-adị n’etiti ha, ha ga-alụsokwa ibe ha ọgụ. [14] Ọ
bụladị Juda ga-ebu agha na Jerusalem. A ga-akwakọrọ akụ ndị mba ọzọ dị ha nso,
bụ ọtụtụ ọlaedo na ọlaọcha, na uwe mara mma. [15] Ọrịa ọjọọ dị otu a ga-adakwasị
ịnyịnya niile, na ịnyịnya muul, na ịnyịnya kamel niile, na ịnyịnya ibu niile, na anụ
niile dị n’ogige ndị agha ha.

[16] Mgbe ahụ, ndị fọdụrụ na mba niile ndị ahụ busoro Jerusalem agha, ga-abịa
kwa afọ kpọọ isiala nye eze, ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile ka ha soro
mee mmemme ụlọ Ikwu. [17] Ọ bụrụ na ndị ọbụla si na mba dị iche iche esoghị
jee Jerusalem ife Eze ahụ, bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, ha agaghị
enwetakwa mmiri ozuzo. [18] Ọ bụrụ na ndị Ijipt ajụ ịga soro ndị ọzọ ife ofufe ahụ,
ha agaghị enweta mmiri ozuzo. ONYENWE ANYỊ ga-eme ka ọrịa ọjọọ ahụ bịakwasị ha,
dịka ọ siri bịakwasị mba ndị ahụ niile jụrụ iso mee mmemme ụlọ Ikwu. [19] Nke a
ga-abụ ahụhụ dịrị ndị Ijipt, na ndị mba dị iche iche, ndị na-agaghị eso na mmemme
ụlọ Ikwu ahụ.

[20] N’ụbọchị ahụ, ihe a ga-ede n’ahụ atańụ nke ịnyịnya niile na-anya n’olu ha bụ
nke a: “Ihe dị Nsọ nye ONYENWE ANYỊ.” Ite niile e ji esi nri dị n’ụlọ nke ONYENWE
ANYỊ ga-adị ka efere nsọ ndị ahụ dị n’ihu ebe ịchụ aja. [21] Ite niile dị na Juda, na n’ime
Jerusalem ga-adị nsọ nye ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile. Ndị niile bịara ịchụ
aja ga-ewere ụfọdụ n’ime ite ndị a sie nri ịchụ aja ha. N’ụbọchị ahụ kwa, a gaghị
ahụ kwa ndị na-atụ mgbereahịa* n’ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe
niile.

* **14:21** 14:21 Maọbụ, Onye Kenan

# Malakaị

1 Okwu amụma: Nke a bụ okwu ONYENWE ANYỊ gwara Izrel site n’ọnụ Malakaị onye
amụma.

### *Izrel ekwenyeghị na Chineke hụrụ ha n’anya*

2 “Ahụla m unu n’anya,” ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu.
“Ma unu na-asị, ‘Olee ụzọ i si hụ anyị n’anya?’
“Ịsọ, ọ bụghị nwanne Jekọb?” ka ONYENWE ANYỊ kwupụtara. “Ma otu ọ dị, ahụrụ
m Jekọb n’anya, 3 ma Ịsọ ka m kpọrọ asị, mee ugwu ya niile ka ha ghọọ ebe tọgbọrọ
n’efu, werekwa ihe nketa ya nye nkịta ọhịa niile nke ọzara.”
4 Ndị Edọm nwere ike sị, “Ọ bụ ezie na e tikpọọla anyị, ma anyị ga-ewugharị
nkpọnkpọ ebe niile.”
Ma otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile, na-ekwu, “Ha nwere ike
wugharịa ya, ma aga m akwadakwa ha ọzọ. N’ihi na a ga-akpọ ha Obodo ihe ọjọọ,
ndị ONYENWE ANYỊ na-eweso iwe ruo mgbe ebighị ebi. 5 Anya unu ga-ahụ nke a ma
unu ga-ekwukwa, ‘ONYENWE ANYỊ dị ukwuu, ọ bụladị ruo n’ofe oke ala Izrel!’ ”

### *Imebi ọgbụgba ndụ site n’aja nwere ntụpọ*

6 “Nwa na-asọpụrụ nna ya, ohu na asọpụrụkwa onyenwe ya. A sị na m bụ nna,
ebee ka egwu m dị. A sị na m bụ onyenwe mmadụ, ebee ka nsọpụrụ m dị?” Ka
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu.
“Ọ bụ unu ndị nchụaja na-eleda aha m anya.
“Ma unu na-ajụ, ‘Olee ụzọ anyị si eleda aha gị anya?’
7 “Unu na-eji anụ rụrụ arụ na-achụrụ m aja n’elu ebe ịchụ aja m.
“Ma unu na-ajụ, ‘Olee ụzọ anyị si merụọ ya?’
“Ọ bụ mgbe unu na-asị na tebul ONYENWE ANYỊ bụ ihe e kwesiri ileda anya. 8 Mgbe
unu ji anụ ndị kpuru ìsì achụrụ m aja, ọ bụghị ihe na-ezighị ezi ka unu na-eme?
Mgbe unu na-ejikwa ndị dara ngwụrọ, na anụ na-arịa ọrịa, ọ bụghị ihe ọjọọ ka unu
na-eme? Werenụ anụ ndị a bugara onye na-achị obodo unu dịka onyinye. Ọ ga-atọ
ya ụtọ ịnabata onyinye dị otu a? Ọ ga-anabata unu?” Ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ
ime ihe niile na-ekwu.
9 “Ma ugbu a, rịọọnụ Chineke ka o gosi anyị amara ya. Ọ bụrụ na unu ji onyinye
ndị dị otu a n’aka unu, ọ ga-egosi unu afọ ọma ya?” Ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ
ime ihe niile na-ekwu.
10 “Ọ gaara adị m nnọọ mma ma a sị na otu onye n’ime unu ga-emechi ọnụ ụzọ
ụlọnsọ ukwu ahụ, ka unu gharakwa ịkwanye ọkụ na-enweghị isi n’elu ebe ịchụ aja m.
Ihe banyere unu adịghị atọ m ụtọ. Ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
kwuru. Agaghị m anabatakwa onyinye ọbụla si unu n’aka. 11 N’ihi na site n’ọwụwa
anyanwụ ruo ọdịda ya, aha m ga-adị ukwuu n’etiti mba niile. A ga-ewebatara m ihe
nsure ọkụ na-esi isi ụtọ na onyinye dị ọcha n’aha m, n’ebe niile, n’ihi na aha m ga-adị
ukwuu n’etiti mba niile.” Ọ bụ ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.
12 “Ma unu na-eme ka ọ ghara ịdị nsọ mgbe unu na-asị na, Tebul Onyenwe anyị bụ
ihe e merụrụ emerụ, ebe ihe oriri ya bụkwa ihe nleị. 13 Unu na-ekwukwa, ‘Nke a bụ
ihe ike ọgwụgwụ,’ si otu a na-eduli imi unu elu n’ebe m nọ n’ọnọdụ oke nleị.” Ọ bụ
ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.
“Mgbe unu na-ewebata ihe a natara n’ike, na nke dara ngwụrọ, na nke na-arịa
ọrịa, jiri ha chụọrọ m aja, o kwesiri ka m nabata ya?” Ka ONYENWE ANYỊ na-ekwu.
14 “Onye a na-abụ ọnụ ka onye aghụghọ ahụ bụ nke nwere oke n’igwe ewu na atụrụ
ya, kwee nkwa inye ya, ma mesịa were anụ nwere ntụpọ chụọrọ Onyenwe anyị aja.

N’ihi na mụ onwe m bụ Eze ukwu ahụ,” ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
kwuru, “aha m bụkwa ihe a ga-atụ egwu n’etiti mba dị iche iche.

# 2

*Ndụmọdụ ndị ọzọ nye ndị nchụaja*
1 “Ma ugbu a, unu ndị nchụaja, ịdọ aka na ntị a dịrị unu. 2 Ọ bụrụ na unu ajụ
ige ntị, ọ bụrụkwa na unu ekpebighị n’obi unu inye aha m otuto,” ka ONYENWE ANYỊ,
Onye pụrụ ime ihe niile, na-ekwu, “Aga m ezite ọbụbụ ọnụ n’ahụ unu, aga m abụkwa
ngọzị unu niile ọnụ. E, abụọlarị unu ọnụ, n’ihi na unu ekpebighị n’obi unu ịsọpụrụ
m.
3 “N’ihi unu, aga m abara ụmụ ụmụ unu mba.* Agaghị m anabata onyinye unu,
aga m efesakwa nsị anụ n’ihu unu, bụ nsị nke ihe onyinye unu, aga m ewezugakwa
unu site n’ihu m. 4 Otu a ka unu ga-esi mara na ọ bụ mụ zitere unu ịdọ aka na ntị
a, ka ọgbụgba ndụ mụ na Livayị gbara dịgide,” Ọ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime
ihe niile, na-ekwu. 5 “Ọgbụgba ndụ mụ na ya bụ nke ndụ na udo, ọ bụ m nyere ha
ya, nke a bụ n’ihi nsọpụrụ. O nyere m nsọpụrụ n’ezie, tụkwaa aha m egwu. 6 Iwu
nke eziokwu dị ya n’ọnụ, ọ dịkwaghị okwu ụgha ọbụla a chọpụtara n’egbugbere
ọnụ ya. O soro m jee ije n’udo, na n’ịkwụba aka ọtọ. O mekwara ka ọtụtụ si n’ajọ
omume ha chigharịa.
7 “N’ihi na egbugbere ọnụ onye nchụaja kwesiri ijupụta n’ihe ọmụma; e
kwesikwara isi n’ọnụ ya mụta ihe, n’ihi na ọ bụ onyeozi nke ONYENWE ANYỊ, Onye
pụrụ ime ihe niile. 8 Ma unu esitela n’ụzọ ahụ wezuga onwe unu, sitekwa n’ozizi unu
mee ka ọtụtụ mmadụ sụọ ngọngọ. Unu emerụọla ọgbụgba ndụ nke Livayị.” Ọ bụ
ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru. 9 “N’ihi nke a, emeela m ka unu
bụrụ ndị a na-eleli anya, na ndị e wedara n’ala n’ihu ndị mmadụ niile, n’ihi na unu
agbasoghị ụzọ m, kama unu na-ele mmadụ anya n’ihu, n’ihe metụtara iwu.”

*Imebi ọgbụgba ndụ site n’ịgba alụkwaghị m*
10 Ọ bụghị otu Nna ka anyị niile nwere? Ọ bụghị otu Chineke ahụ kere anyị? Gịnị
mere anyị ji na-emerụ ọgbụgba ndụ nna anyị ha site na-enweghị ntụkwasị obi na
mmekọrịta anyị na ibe anyị?
11 Juda ekwesighị ntụkwasị obi. E meela ihe arụ n’Izrel na n’ime Jerusalem: Juda
emerụọla ụlọnsọ ukwu ONYENWE ANYỊ hụrụ n’anya, lụọkwa ada chi ndị mba ọzọ.
12 Ka ONYENWE ANYỊ kewapụ onye mere ihe dị otu a n’ụlọ ikwu Jekọb, ka ọ ghara
inwe onye akaebe, ka ọ ghara inwe onye ga-aza ya mgbe ọ kpọrọ oku maọbụ butere
ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile onyinye.
13 Ihe ọzọ unu na-emekwa bụ ndị a: unu na-eme ka anya mmiri unu jupụta n’ebe
ịchụ aja ONYENWE ANYỊ. Unu na-akwa akwa, na-eti mkpu akwa n’ihi na ọ naghị elenye
anya n’onyinye unu, maọbụ jiri obi ụtọ nabata ha. 14 Unu na-asị “Nke a ọ bụ n’ihi
gịnị?” Ọ bụ n’ihi na ONYENWE ANYỊ bụ onyeama n’etiti gị na nwunye ị lụrụ n’okorobịa
gị, n’ihi na ị kwesighị ntụkwasị obi, ọ bụ ezie na ọ bụ nwanyị e jikọtara gị na ya,
bụrụkwa nwunye ọgbụgba ndụ gị.
15 Ọ bụ na ọ bụghị otu Chineke ahụ kere gị? N’anụ ahụ na n’ime mmụọ, unu bụ
nke ya. Ma gịnị ka otu Chineke a chọrọ? Ka unu bụrụ ụmụ na-atụ ya egwu. Ya mere,
jie mmụọ gị aka, ka ị gharakwa ịbụ onye na-ekwesighị ntụkwasị obi n’ebe nwunye ị
lụtara n’okorobịa nọ.
16 “Akpọrọ m ịgba alụkwaghị m asị,” ka ONYENWE ANYỊ Chineke nke Izrel sịrị, “a
kpọkwara nwoke na-emeso nwunye ya mmeso n’ụzọ ihe ike asị.” Ọ bụ ONYENWE
Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu.

---

* **2:3** 2:3 Maọbụ, kpọnwụsịa mkpụrụ ọghịgha unu

Ya mere, kpachapụrụnụ onwe unu anya, unu abụkwala ndị na-ekwesighị ntụkwasị
obi.

*Imebi ọgbụgba ndụ site n'ikpe mmegide*

17 Unu esitela n'oke okwu unu mee ka ike gwụ ONYENWE ANYỊ.
Ma unu na-ajụ, "Olee ụzọ anyị si mee ka ike gwụ ya?"
Mgbe unu na-asị, "Ndị niile na-eme ihe ọjọọ dị mma n'anya ONYENWE ANYỊ. Ihe
ha na-atọkwa ya ụtọ," maọbụ na-asịkwa, "Ebee ka Chineke ahụ na-ekpe ikpe ziri ezi
nọ?"

# 3

1 "Lee, aga m ezipu onyeozi m, onye ga-edozi ụzọ n'ihu m. Mgbe ahụ, Onyenwe
anyị ahụ unu na-ele anya ya ga-abịa na mberede n'ụlọnsọ ukwu ya. Onyeozi nke
ọgbụgba ndụ ahụ, onye ihe ya na-agụsị unu agụụ ike, ga-abịa," ka ONYENWE ANYỊ,
Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.
2 "Ma onye ga-anagide ụbọchị ọbịbịa ya ma guzokwa mgbe ọ pụtara ihe? N'ihi
na ọ ga-adị ka ọkụ na-anụcha anụcha, dịkwa ka ncha e ji asụ akwa. 3 Ọ na-anọdụ
ala dịka ndị na-anụcha ọlaọcha ime ka ọ dị ọcha. Ọ ga-anụcha ndị Livayị, ime ka
ha dị ọcha, dịka ọlaedo na ọlaọcha a nụchara anụcha tutu ruo mgbe ha ga-ewetara
ONYENWE ANYỊ onyinye n'ezi omume. 4 Mgbe ahụ, onyinye Juda na Jerusalem ga-abụ
onyinye ONYENWE ANYỊ ga-anabata, dịka o si anabata ha n'ụbọchị ndị ahụ gara aga,
na mgbe ochie gara aga.
5 "Mgbe ahụ, aga m abịa unu nso ikpe unu ikpe. Aga m abịakwa ngwangwa
ịgbagide ha ama bụ ndị mgbaasị, na ndị na-akwa iko, na ndị na-aṅụ iyi ụgha, na ndị
na-emegbu ndị inyom di ha nwụrụ, na ndị na-emegbu ndị na-enweghị nna, na ndị
na-anapụ ndị ọbịa ikpe ziri ezi, ndị ahụ niile na-adịghị atụ egwu m." Ọ bụ ONYENWE
ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.

*Imebi ọgbụgba ndụ site n'akwụghị otu ụzọ n'ime ụzọ iri*

6 "N'ihi na mụ onwe m bụ ONYENWE ANYỊ adịghị agbanwe agbanwe. Ya mere, unu
bụ ụmụ Jekọb ji dịgide. 7 Site n'oge nna nna unu ha, unu esitela n'idebe iwu na
ụkpụrụ m wezuga onwe unu. Unu adịghịkwa edebe ha. Ya mere, lọghachikwutenụ
m, mụ onwe m ga-alọghachikwute unu." Ọ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe
niile na-ekwu.
"Ma unu na-asị, 'Anyị ga-esi aṅaa lọghachi?'
8 "Mmadụ ọ na-ezu ihe bụ nke Chineke n'ohi? Ma unu apụnarịla m ihe bụ nke m.
"Ma unu na-ajụ: 'Anyị si aṅaa na-ezu gị ohi?'
"Ọ bụ site n'otu ụzọ n'ime ụzọ iri unu, onyinye na aja niile. 9 N'ihi ya, ọbụbụ
ọnụ dịịrị unu, ka mba niile unu ha, n'ihi na ọ bụ mụ onwe m ka unu na-ezu ohi.
10 Webatanụ otu ụzọ n'ụzọ iri nke ihe niile unu n'ime ụlọakụ m, ka nri jupụta n'ime
ụlọ m. Jirinụ nke a nwalee m," ka unu hụ ma mụ onwe m agaghị emeghe ọnụ ụzọ
eluigwe, site na ya wụdatara unu ngọzị dị ukwuu, nke ga-ejubiga oke na ọnọdụ
agaghị adị ichebe ha. Ọ bụ ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu. 11 "Aga
m egbochi ihe nripịa ndị ahụ niile ka ha ghara iripịa mkpụrụ ubi unu. Osisi vaịnị
unu agakwaghị atụpụsị mkpụrụ ya n'ala tutu ruo mgbe ha chara." Ọ bụ ihe ONYENWE
ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-ekwu. 12 "Mgbe ahụ, mba niile dị iche iche ga-akpọ
unu ndị a gọziri agọzi, n'ihi na ala unu ga-abụ nke na-enye ndị nwe ya obi ụtọ." Ọ
bụ ihe ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru.

*Okwu mpako ndị Izrel megide Chineke*

13 ONYENWE ANYỊ na-ekwu, sị, "Unu ekwuola ọtụtụ okwu dị ike megide m."
"Ma unu na-ajụ, 'Gịnị ka anyị kwuru megide gị?'

[14] "Unu ekwuola sị, 'Ọ bụ ihe nzuzu ife Chineke ofufe, na ịtụ ya egwu. Gịnị bụ uru
anyị na-erite site n'idebe iwu ya, na ijeghari dịka ndị na-eru ụjụ n'ihu ONYENWE ANYỊ,
Onye pụrụ ime ihe niile? [15] Ma site ugbu a gaa n'ihu, ndị nganga ka anyị ga-akpọ ndị
ihe na-agara nke ọma. N'ezie, ndị na-eme ihe ọjọọ ka ihe na-agara nke ọma. Ndị ahụ
jikwa ihe ọjọọ ha na-anwa Chineke na-agbanarị ntaramahụhụ ya.' "

*Ụfọdụ ndị kwesiri ntụkwasị obi*

[16] Mgbe ahụ, ndị niile na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ gwarịtara ibe ha okwu, ONYENWE
ANYỊ ṅara ntị, nụkwa ihe ha na-ekwu. N'ihu ya, e nwere akwụkwọ ncheta dị ya, ebe
e dere aha ndị niile na-atụ egwu ONYENWE ANYỊ, ma na-echekwa echiche banyere aha
ya.
[17] "N'ụbọchị ahụ m ga-eme ihe," ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile na-
ekwu, "ha ga-abụ ihe oke ọnụahịa nke aka m. Aga m echebe ha, dịka nna na-enwe
ọmịiko ma chebekwa nwa ya nwoke na-efe ya. [18] Unu ga-ahụ ihe dị iche n'etiti ndị
ezi omume na ndị ajọ omume, hụkwa ihe dị iche n'etiti ndị na-efe Chineke na ndị
na-adịghị efe ya.

# 4

*Ikpe ọmụma na ime ka ọgbụgba ndụ sie ike*

* [1] "N'ezie, ụbọchị ahụ na-abịa, ọ ga-erekwa ọkụ dịka ebe a funyere ọkụ buru ibu.
Mgbe ndị nganga, ndị na-eme ihe ọjọọ, ga-abụ igbugbo ọka, ụbọchị ahụ na-abịa ga-
erechapụ ha," otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru. "Ọ dịkwaghị
mgbọrọgwụ maọbụ alaka ọbụla ga-afọdụrụ ha. [2] Ma unu bụ ndị na-atụ egwu aha m
ka anyanwụ nke ezi omume ga-achawapụta wetakwara unu ọgwụgwọ nke si n'ime
nku ya. Unu ga-apụkwa, na-awụgharị dịka ụmụ ehi eji nri zujuo afọ. [3] Mgbe ahụ,
unu ga-azọpịakwa ndị ajọ omume. Ha ga-aghọkwa ntụ n'okpuru ọbụ ụkwụ unu,
n'ụbọchị ahụ m ga-eme ihe ndị a," otu a ka ONYENWE ANYỊ, Onye pụrụ ime ihe niile
kwuru.
[4] "Chetanụ iwu Mosis, bụ odibo m, ya bụ iwu na ụkpụrụ ndị ahụ dị iche iche m
nyere ya na Horeb, maka Izrel niile.
[5] "Lee, aga m ezitere unu Ịlaịja onye amụma, tupu ụbọchị ukwu ahụ dị oke egwu
bụ ụbọchị ONYENWE ANYỊ abịa. [6] Ọ ga-eme ka obi ndị bụ nna chigharịkwute ụmụ ha,
meekwa ka obi ndị bụ ụmụ chigharịkwutekwa nna ha; ka m ghara ịbịa ma jiri ịbụ
ọnụ laa ala ahụ n'iyi."

* **4:** 4:0 N'akwụkwọ ndị Hibru, isi nke Anọ, site n'amaokwu nke mbụ ruo na nke isii, bụ nke edepụtara dịka isi nke Atọ, amaokwu nke iri na itoolu ruo nke iri abụọ na anọ.

# Oziọma Matiu

*Usoro ọmụmụ Jisọs onye bụ Kraịst ahụ*

1 Nke a bụ ndekọ usoro ọmụmụ Jisọs onye bụ Kraịst, nwa Devid, nwa Ebraham.

2 Ebraham mụrụ Aịzik,
Aịzik amụọ Jekọb,
Jekọb amụọ Juda na ụmụnne ya.
3 Juda mụtara Perez na Zera site na Tama,
Perez mụrụ Hezrọn,
Hezrọn amụọ Aram.
4 Aram mụrụ Aminadab,
Aminadab mụrụ Nashọn,
Nashọn amụọ Salmọn.
5 Salmọn bụ nna Boaz, site na nwunye ya Rehab,
Boaz mụrụ Obed, site na nwunye ya Rut,
Obed amụọ Jesi.
6 Jesi amụọ Devid, bụ eze.

Devid mụrụ Solomọn site na nwunye ya Ụraya.
7 Solomọn mụrụ Rehoboam,
Rehoboam amụọ Abija,
Abija amụọ Esa.
8 Esa mụrụ Jehoshafat,
Jehoshafat amụọ Joram,
Joram amụọ Ụzaịa.
9 Ụzaịa mụrụ Jotam,
Jọtam amụọ Ehaz,
Ehaz amụọ Hezekaya.
10 Hezekaya mụrụ Manase,
Manase amụọ Emọn,
Emọn amụọ Josaya.
11 Mgbe e mere ka ha gaa biri n’ala Babilọn ka Josaya mụrụ Jekonaya na ụmụnne ya.

12 Mgbe ha si Babilọn lọta
Jekonaya mụrụ Shealtiel,
Shealtiel amụọ Zerubabel.
13 Zerubabel mụrụ Abiud,
Abiud amụọ Eliakịm,
Eliakịm amụọ Azoa.
14 Azoa mụrụ Zadọk,
Zadọk amụọ Akịm,
Akịm amụọ Eliud.
15 Eliud mụrụ Elieza,
Elieza amụọ Matan,
Matan amụọ Jekọb.
16 Jekọb mụrụ Josef onye bụ di Meri nne Jisọs, onye a na-akpọ Kraịst.

17 Ya mere, site n’Ebraham ruo na Devid, e nwere ọgbọ iri na anọ. Ma site
n’oge Devid ruo mgbe a dọọrọ ha n’agha gaa Babilọn, e nwere ọgbọ iri
na anọ. Sitekwanụ n’oge ahụ ruo mgbe a mụrụ Kraịst bụkwa ọgbọ iri na
anọ.

### *Josef anabata Jisọs dịka nwa ya nwoke*

18 Otu a ka ọmụmụ Jisọs, onye a na-akpọ Kraịst* siri dị: Nne ya Meri bụ onye e
kwenyere na ọ ga-alụ Josef, ma tupu ha ebikọọ ọnụ a chọpụtara na Meri di ime site
na Mmụọ Nsọ. 19 Ma Josef di ya bụ onye ezi omume, ọ chọghị imenye ya ihere, n’ihi
ya, o zubere ịchụ ya na nzuzo.
20 Mgbe Josef nwechara mkpebi a, mmụọ ozi Onyenwe anyị bịakwutere ya na nrọ
sị ya, “Josef nwa Devid, atụla egwu ịkpọrọ Meri ka ọ bụrụ nwunye gị, n’ihi na nwa
ahụ ọ dị ime ya sitere n’ike Mmụọ Nsọ. 21 Ọ ga-amụkwa nwa nwoke, onye ị ga-akpọ
aha ya Jisọs,† n’ihi na ọ ga-azọpụta ndị nke ya site na mmehie ha.”
22 Ihe ndị a mere iji mezuo ihe ahụ Onyenwe anyị kwuru site n’ọnụ onye amụma
ya sị, 23 “Lee, nwaagbọghọ ahụ na-amaghị nwoke ga-atụrụ ime, mụọ nwa nwoke. Ha
ga-akpọ aha ya Ịmanụel”‡ (nke bụ ma asụgharịa ya, “Chineke nọnyeere anyị”).
24 Mgbe Josef si n’ụra teta, o mere dịka mmụọ ozi Onyenwe anyị nyere ya n’iwu.
Ọ kpọọrọ Meri ka ọ bụrụ nwunye ya. 25 Ma ha abụọ edinakọghị tutu ruo mgbe ọ
mụsịrị nwa nwoke, onye ọ kpọrọ aha ya Jisọs.

# 2

### *Ọbịbịa ndị amamihe*

1 Mgbe a mụchara Jisọs na Betlehem nke Judịa n’oge Herọd bụ eze, ndị amamihe
si ọwụwa anyanwụ bịaruru Jerusalem, 2 na-ajụ ajụjụ sị, “Olee ebe ọ nọ, bụ onye a
mụrụ ịbụ eze ndị Juu? Anyị hụrụ kpakpando ya* n’ọwụwa anyanwụ, ma bịa ịkpọ
isiala nye ya.”
3 Mgbe eze Herọd nụrụ nke a, obi lọrọ ya mmiri nke ukwuu, ya na ndị niile bi na
Jerusalem. 4 Mgbe ọ kpọkọtara ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu niile, ọ jụrụ ha, olee
ebe e kwuru na a ga-amụ Kraịst† ahụ. 5 Ha zara ya sị, “Na Betlehem nke Judịa. N’ihi
na otu a ka onye amụma ahụ dere n’akwụkwọ sị,
6 “ ‘Ma gị onwe gị, Betlehem, dị n’ala Juda,
ị dịghị nta karịchasịa n’etiti ndị ọchịchị Juda,
n’ihi na ọ bụ site na gị ka onye ọchịchị ga-esi pụta,
onye ga-achị ndị nke m Izrel.’‡”
7 Mgbe ahụ Herọd kpọrọ ndị amamihe ahụ na nzuzo jụpụta ha banyere oge
kpakpando ahụ ji pụta ìhè. 8 O zipụrụ ha ije Betlehem sị ha, “Gaanụ lee anya nke
ọma chọpụta ebe nwantakịrị ahụ nọ. Mgbe unu chọtara ya, bịanụ mee ka m mara,
ka m gaakwa kpọọ isiala nye ya.”
9 Mgbe ha nụrụ okwu eze, ha pụrụ gawa, ma kpakpando ahụ ha hụrụ n’ọwụwa
anyanwụ pụtakwara ọzọ, na-aga n’ihu ha ruo mgbe ọ bịara guzo n’elu ebe
nwantakịrị ahụ nọ. 10 Ha ṅụrịrị ọṅụ nke ukwuu mgbe ha hụrụ kpakpando ahụ. 11 Ka
ha banyere n’ụlọ ahụ, ha hụrụ nwantakịrị ahụ na nne ya Meri, ha gburu ikpere n’ala
ma kpọọrọ ya isiala. Ha meghere akpa akụ ha nye ya onyinye ọlaedo na ọkpụrụkpụ
eso osisi na-esi isi ụtọ a na-akpọ frankisens,§ ya na máá.* 12 N’ihi na a dọrọ ha aka
na ntị na nrọ ka ha ghara ịlaghachikwuru Herọd, ha sitere n’ụzọ ọzọ laghachi obodo
ha.

---

* **1:18** 1:18 Maọbụ, Onye nzọpụta † **1:21** 1:21 Jisọs nke a bụ otu ndị Griik si akpọ Joshua nke pụtara ONYENWE ANYỊ na-azọpụta. ‡ **1:23** 1:23 Aịz 7:14 * **2:2** 2:2 Kpakpando ya mgbe ọ walitere † **2:4** 2:4 Maọbụ, Onye nzọpụta ‡ **2:6** 2:6 Mai 5:2 § **2:11** 2:11 Maọbụ, mgbaisiọma * **2:11** 2:11 Maọbụ, mgba ilu

### *Mgbapụ gaa n'ala Ijipt*

13 Mgbe ndị amamihe ahụ lasịrị, mmụọ ozi Onyenwe anyị mere ka Josef hụ ya na
nrọ, ọ sịrị ya, "Bilie ọsịịsọ kpọrọ nwantakịrị a na nne ya gbalaa Ijipt. Alọghachikwala
tutu ruo mgbe m ga-agwa gị, n'ihi na Herọd na-achọ nwantakịrị a ka o gbuo ya."
14 N'oge abalị, Josef biliri kpọrọ Meri na nwantakịrị ahụ gbalaa Ijipt. 15 Ebe ahụ ka
ha nọgidere tutu ruo mgbe Herọd nwụrụ. Nke a mere ka okwu ahụ Onyenwe anyị
kwuru site n'ọnụ onye amụma mezuo. "Ọ bụkwa site n'Ijipt ka m kpọpụtara nwa
m."†
16 Iwe were Herọd nke ukwuu mgbe ọ chọpụtara na ndị amamihe ahụ aghọọla ya
aghụghọ. N'ihi ya, o nyere iwu banyere Betlehem na obodo nta ndị ọzọ gbara ya
gburugburu, ka ha gbuo ụmụntakịrị niile nọ n'obodo ndị a, bụ ndị gbara site n'afọ
abụọ gbadaa, dị ka ihe ọ nụtara site n'ọnụ ndị amamihe si dị. 17 E sitekwara otu a
mezuo amụma ahụ Jeremaya buru sị,
18 "A nụrụ otu olu na Rema,
ịkwa akwa na oke iru ụjụ dị,
Rechel na-akwa akwa n'ihi ụmụ ya;
ọ dịghị nkasiobi ọbụla dịrị ya,
n'ihi na ha adịghịkwa."‡

### *Nlọghachi na Nazaret*

19 Mgbe Herọd nwụrụ, mmụọ ozi Onyenwe anyị bịakwutere Josef na nrọ n'Ijipt 20 sị
ya, "Bilie, kpọrọ nwantakịrị ahụ na nne ya laghachi n'ala Izrel n'ihi na ndị na-achọ
igbu ya anwụọla."
21 Ya mere, o biliri, kpọọrọ nwantakịrị ahụ na nne ya, laghachi n'ala Izrel. 22 Mgbe
ọ nụrụ na eze ọhụrụ gbanwere Herọd na Judịa bụ nwa ya a na-akpọ Akelus,§ egwu
tụrụ Josef ịlaghachi ebe ahụ. Ma n'ihi na adọwo ya aka na ntị na nrọ, ọ wezugara
onwe ya gaa n'akụkụ Galili. 23 Ọ gara biri n'obodo a na-akpọ Nazaret. E sitekwara
otu a mezuo okwu ọnụ ndị amụma sị na, "A ga-akpọ ya onye Nazaret."

## 3

### *Nkwusa nke Jọn*

1 N'oge ahụ, Jọn omee baptizim bịara na-ezisa ozi n'ọzara Judịa. Isi okwu ya bụ,
2 "Chegharịanụ, n'ihi na alaeze eluigwe dị nso." 3 N'ihi na nwoke a bụ onye e kwuru
okwu banyere ya site n'ọnụ onye amụma Aịzaya sị,
"Otu onye na-eti mkpu n'ọzara, na-asị,
'Dozienụ ụzọ maka Onyenwe anyị,
meenụ ka okporoụzọ ya guzozie.' "*
4 Jọn yi uwe e ji ajị ịnyịnya kamel mee. O kekwara ihe okike ukwu nke akpụkpọ
anụ n'ukwu ya. Nri ya bụ igurube na mmanụ aṅụ. 5 N'oge ahụ, ndị mmadụ sitere
Jerusalem, na Judịa niile, n'ala niile dị Jọdan gburugburu, na-apụkwuru ya. 6 Mgbe
ha na-ekwupụta mmehie ha, o mere ha baptizim n'osimiri Jọdan.
7 Ma mgbe ọhụrụ ọtụtụ ndị Farisii na ndị Sadusii ka ha na-abịa ka e mee ha
baptizim, ọ sịrị ha, "Unu ụmụ ajụala, onye dọrọ unu aka na ntị sị unu gbanarị ọnụma
nke na-abịa? 8 Mịanụ mkpụrụ na-egosipụta nchegharị unu. 9 Unu echekwala na unu
pụrụ ị sị n'ime onwe unu, 'Anyị nwere Ebraham dịka nna,' n'ihi na Chineke pụrụ
isite na nkume ndị a mepụtara Ebraham ụmụ. 10 Ma ugbu a atụkwasịla anyụike na
mgbọrọgwụ osisi niile. Osisi ọbụla nke na-adịghị amị ezi mkpụrụ ka a ga-egbutu,
tụba ya n'ime ọkụ.

† **2:15** 2:15 Hos 11:1 ‡ **2:18** 2:18 Jer 31:15 § **2:22** 2:22 Akelus Onye ketara ịchị otu ụzọ n'ụzọ atọ n'alaeze
Herọd. * **3:3** 3:3 Aịz 40:3

[11] “Mụ onwe m ji mmiri eme unu baptizim n’ihi nchegharị, ma onye dị ike karịa m
na-abịa. Onye m na-erughị ịchịta akpụkpọụkwụ ya. Ọ ga-eji Mmụọ Nsọ na ọkụ were
mee unu baptizim. [12] Ihe ịfụcha ọka ya dị ya n’aka, ọ ga-azacha ebe ịzọcha ọka ya
nke ọma, chịkọta mkpụrụ ọka wiiti tinye ha n’ọba, ma jiri ọkụ a na-apụghị imenyụ
emenyụ rechapụ igbugbo ọka.”

### *Jọn emee Jisọs baptizim*

[13] Mgbe ahụ, Jisọs sitere na Galili bịa n’osimiri Jọdan ka Jọn mee ya baptizim. [14] Ma
Jọn chọrọ igbochi ya, sị, “Ọ bụ m kwesiri ịbịakwute gị ka ị mee m baptizim. Gịnị
mere i ji abịakwute m?”
[15] Ma Jisọs zara ya sị, “Kwere ka ọ dịrị otu a ugbu a, o kwesiri ka anyị mezuo ezi
omume niile.” Mgbe ahụ Jọn kwenyere.
[16] Ngwangwa e mechara Jisọs baptizim, o sitere na mmiri ahụ rịpụta. N’otu oge
ahụ, eluigwe meghere, Jọn hụrụ Mmụọ nke Chineke ka o si n’elu fedata dị ka nduru
na-ebekwasị Jisọs n’isi. [17] Otu olu sitere n’eluigwe kwuo okwu sị, “Onye a bụ Ọkpara
m, onye m hụrụ n’anya. Ihe ya dị m ezi mma.”

# 4

### *Ọnwụnwa a nwara Jisọs n’ọzara*

[1] Emesịa, Mmụọ Nsọ duuru Jisọs baa n’ọzara ka ekwensu nwaa ya ọnwụnwa.
[2] Mgbe o busiri ọnụ iri ụbọchị anọ ehihie na abalị, agụụ gụrụ ya nke ukwuu. [3] Mgbe
ahụ onye ọnwụnwa ahụ bịakwutere ya sị, “Ọ bụrụ na ị bụ Ọkpara Chineke, gwa
nkume ndị a ka ha ghọọ achịcha.”
[4] Ma Jisọs zara, “E dere ya n’akwụkwọ nsọ sị, ‘Ọ bụghị naanị site na achịcha*ka
mmadụ si adị ndụ, kama site n’okwu niile si n’ọnụ Chineke pụta.’†”
[5] Mgbe ahụ, ekwensu duuru ya baa n’obodo nsọ ahụ, mee ka o guzo n’ebe dịkarịsịrị
elu nke ụlọnsọ ukwu, [6] sị ya, “Ọ bụrụ na ị bụ Ọkpara Chineke, site n’ebe a tụda onwe
gị n’ala. N’ihi na e dere ya n’akwụkwọ nsọ sị,
“ ‘Ọ ga-enye ndị mmụọ ozi ya iwu banyere gị,
ha ga-ebuli gị elu n’aka ha
ka ị ghara ịkpọbi ụkwụ gị na nkume.’‡”
[7] Ma Jisọs zara sị ya, “E deela ya n’akwụkwọ nsọ sị, ‘Ị gaghị anwa Onyenwe gị na
Chineke gị ọnwụnwa.’§”
[8] Ọzọkwa, ekwensu kpọọrọ ya gaa n’elu ugwu dị elu, gosi ya alaeze niile nke ụwa
na ebube ha. [9] Ọ sịrị ya, “Aga m enye gị ha niile ma ọ bụrụ na ị daa n’ala kpọọ isiala
nye m.”
[10] Ma Jisọs sịrị ya, “Si n’ebe m nọ pụọ, ekwensu. N’ihi na akwụkwọ nsọ kwuru sị, ‘Ọ
bụ naanị Onyenwe anyị Chineke gị ka ị ga-akpọ isiala nye, naanị ya ka ị ga-efekwa.’*”
[11] Mgbe ahụ ekwensu hapụrụ ya laa. Ndị mmụọ ozi bịakwutere ya, nọnyere ya,
na-ejere ya ozi.

### *Jisọs ebido ọrụ nkwusa*

[12] Mgbe Jisọs nụrụ na e tinyela Jọn n’ụlọ mkpọrọ, ọ pụrụ gaa Galili. [13] Emesịa, ọ
hapụrụ Nazaret gaa biri na Kapanọm, bụ obodo dị n’akụkụ osimiri Galili. Ọ dị nso
n’oke ala Zebụlọn na Naftalị. [14] N’ụzọ dị otu a, amụma ahụ Aịzaya buru mezuru.
Amụma nke sịrị,
[15] “Ala Zebụlọn na ala Naftalị,
nke dị n’akụkụ osimiri, n’ofe Jọdan,

---
* **4:4** 4:4 Achịcha nwere ike bụrụ nri † **4:4** 4:4 Okwu a dịkwa n’akwụkwọ Dit 8:3. ‡ **4:6** 4:6 Abụ 91:11,12
§ **4:7** 4:7 Gụọkwa ya n’akwụkwọ Dit 6:16. * **4:10** 4:10 Nke a dịkwa n’akwụkwọ Dit 6:13.

Galili nke ndị mba ọzọ,
16 ndị nọ n'ọchịchịrị
ahụla ìhè dị ukwuu.
Ndị bi n'ala onyinyo ọnwụ
ka ìhè nwukwasịrị."†
17 Site n'oge ahụ gaa n'ihu Jisọs bidoro na-ekwusa na-asị, "Chegharịanụ, n'ihi na
alaeze eluigwe dị nso."

*Ọkpụkpọ ndị na-eso ụzọ ya*

18 Ma mgbe Jisọs na-agafe n'akụkụ osimiri Galili, ọ hụrụ ụmụnne abụọ, Saimọn
onye a na-akpọ Pita, na Andru nwanne ya, ndị ọrụ ha bụ ịkụ azụ, ebe ha nọ n'ụgbọ
mmiri na-akụ azụ. 19 Ọ sịrị ha, "Bịanụ soro m. Aga m eme unu ndị ọkụ na-akụta
mmadụ." 20 Ha hapụrụ ụgbụ azụ ha otu mgbe ahụ soro ya.
21 Mgbe ọ gara n'ihu nke nta, ọ hụrụ ụmụnne abụọ ọzọ, Jemis nwa Zebedi na Jọn
nwanne ya, ebe ha na nna ha Zebedi nọ n'ime ụgbọ mmiri na-ekezi ụgbụ azụ ha. Ọ
kpọkwara ha, 22 ngwangwa ha hapụrụ ụgbọ ha na nna ha soro ya.

*Jisọs agwọọ ndị ọrịa*

23 Jisọs jegharịrị n'obodo niile nke Galili, na-akụzi ihe n'ụlọ nzukọ niile ha, na-ekwusakwa oziọma nke alaeze ahụ. Ọ na-agwọkwa ọrịa na nrịa nrịa niile dị iche
iche n'etiti ndị ahụ. 24 Akụkọ banyere ya gbasara jezuo akụkụ Siria niile. Mgbe ahụ
ọtụtụ ndị mmadụ kpọtaara ya ndị niile ahụ na-esighị ike, ndị na-arịa ụdị ọrịa dị iche
iche, ndị nwere ahụ mgbu, na ndị mmụọ ọjọọ na-esogbu, na ndị akwụkwụ, na ndị
akụkụ ahụ ha kpọnwụrụ akpọnwụ. Ọ gwọkwara ha niile. 25 Ọtụtụ mmadụ sitere na
Galili, Dekapọlịs,‡ Jerusalem, Judịa na n'ofe osimiri Jọdan, soro ya.

# 5

*Nkwusa banyere alaeze ọhụrụ ahụ*

1 Mgbe Jisọs hụrụ igwe mmadụ ahụ, ọ rigooro n'elu ugwu. Mgbe ọ nọdụrụ ala, ndị
na-eso ụzọ ya bịakwutere ya, 2 o bido ikuziri ha ihe.

*Okwu banyere ndị ngọzị na-adịrị*

Ọ sịrị:
3 "Ngọzị na-adịrị ndị bụ ogbenye n'ime mmụọ,
n'ihi na alaeze eluigwe bụ nke ha.
4 Ngọzị na-adịrị ndị na-eru ụjụ,
n'ihi na a ga-akasị ha obi.
5 Ngọzị na-adịrị ndị dị nwayọọ n'obi,
n'ihi na ha ga-eketa ụwa.
6 Ngọzị na-adịrị ndị agụụ ezi omume na-agụ,
n'ihi na ndị ahụ ka afọ ga-eju.
7 Ngọzị na-adịrị ndị na-eme obi ebere,
n'ihi na ha ka a ga-emere ebere.
8 Ngọzị na-adịrị ndị dị ọcha n'obi,
n'ihi na ha ga-ahụ Chineke anya.
9 Ngọzị na-adịrị ndị na-eme ka udo dị n'etiti mmadụ na ibe ya,
n'ihi na a ga-akpọ ha ụmụ Chineke.
10 Ngọzị na-adịrị ndị a na-emegbu n'ihi ezi omume,
n'ihi na alaeze eluigwe bụ nke ha.

† **4:16** 4:16 Aịz 9:1,2 ‡ **4:25** 4:25 Dekapọlịs pụtara Obodo iri.

11 “Ngọzị na-adịrị unu mgbe ndị mmadụ na-akọcha unu, na-emegbu unu, ma na-
ekwukwa okwu ọjọọ na ụgha niile dị iche iche megide unu n’ihi m. 12 Ṅụrịanụ ọnụ,
nwekwanụ obi ụtọ, n’ihi na ụgwọ ọrụ unu dị ukwuu n’eluigwe. N’ihi na n’ụzọ dị
otu a ka ha sogburu ndị amụma ndị buru unu ụzọ.

*Nnu na ìhè*

13 “Unu bụ nnu nke ụwa, ma ọ bụrụ na nnu adịghị atọkwa ụtọ, a ga-eji gịnị mee
ka ọ tọọ ụtọ ọzọ? Ọ bakwaghị uru ọbụla, ma ọ bụghị naanị itufu ya, ka ndị mmadụ
zọọ ya ụkwụ.
14 “Unu bụ ihe nke ụwa. Unu dị ka obodo e wuru n’elu ugwu nke a na-apụghị
izo ezo. 15 Ndị mmadụ adịghị amụnye oriọna dọnye ya n’okpuru igbe, kama a na-
adọkwasị ya n’elu ihe ịdọba oriọna, ka o nye ndị niile nọ n’ụlọ ahụ ìhè. 16 Ya mere,
kwerenụ ka ìhè unu nwuo nye mmadụ niile, ka ndị mmadụ hụ ọrụ ọma unu, tookwa
Nna unu nke bi n’eluigwe.

*Mmezu iwu*

17 “Unu echela na m bịara ịkagbu iwu Mosis, maọbụ ozizi ndị amụma. Abịaghị
m ịkagbu akagbu, kama abịara m imezu ha. 18 N’ezie, agwa m unu, na tutu eluigwe
na ụwa agabiga, ọ dịghị otu mkpụrụ edemede ọbụla dị nta, ọ bụladị nke dịkarịsịrị
nta, nke a ga-esi n’Iwu a wepụ ruo mgbe ha niile ga emezu. 19 N’ihi ya, onye ọbụla
nke ga-emebi otu n’ime iwu ndị a, ọ bụladị nke dịkarịsịrị nta, ma kuziekwara ndị
ọzọ ime otu ahụ, a ga-agụ onye ahụ n’onye dịkarịsịrị nta n’alaeze eluigwe. Ma onye
na-ezi ụmụ mmadụ ka ha debe iwu ahụ, ma na-emekwa okwu ndị ahụ n’onwe ya,
a ga-akpọ ya onye dị ukwuu n’alaeze eluigwe. 20 Ka m dọọ unu aka na ntị. Ọ bụrụ
na ezi omume unu akarịghị ezi omume ndị Farisii na ndị ozizi iwu, unu apụghị ịba
n’alaeze eluigwe ma ọlị.

*Ozizi banyere igbu mmadụ*

21 “Unu nụrụ na-agwara ndị mmadụ n’oge gara aga, sị, ‘Onye egbula mmadụ, onye
ọbụla gburu mmadụ a ga-ekpe ya ikpe.’* 22 Ma asị m unu, na onye ọbụla nke na-
ewe iwe megide nwanna ya, na-enyefe onwe ya n’aka ikpe. Onye ọbụla nke na-akpọ
nwanna ya ‘*Raka*,’ ya bụ Onye iberiibe,†ga-aza ajụjụ n’ụlọikpe. Ọzọkwa, onye ọbụla
nke kpọrọ nwanne ya,‡‘Onye nzuzu,’§na-edo onwe ya ịba n’ọkụ ala mmụọ.
23 “Ya mere, ọ bụrụ na ị gaa inye onyinye gị n’ebe ịchụ aja, ma cheta n’ebe ahụ na
gị na nwanne gị adịghị n’udo, 24 hapụ onyinye gị n’ebe ịchụ aja, laa ka gị na nwanne
gị kpezie. Mgbe unu mere udo, laghachi bịa nye onyinye gị.
25 “Mee ọsịịsọ ka gị na onye kpọ gị eje ụlọ ikpe kpezie, mgbe ọ na-eburubeghị
ikpe gị na ya jee n’aka ọkaikpe, onye ga-enyefe gị n’aka ndị nche, ma eleghị anya
etinye gị n’ụlọ mkpọrọ. 26 N’ezie, agwa m gị, ị gaghị e si n’ebe ahụ pụta ruo mgbe ị
kwụghachiri kobo niile i ji.*

*Ịkwa iko*

27 “Unu nụrụ na e kwuru sị, ‘Akwala iko.’† 28 Ma asị m unu, onye ọbụla lere nwanyị
anya site na-agụụ ịkwa iko emeelarị mmehie ịkwa iko n’ime obi ya megide nwanyị
ahụ. 29 N’ihi nke a, ọ bụrụ na anya aka nri gị na-eme ka i jehie, ghụpụ ya tufuo. Ọ
kaara gị mma na i tufuru otu akụkụ ahụ gị baa n’alaeze karịa na i ji ahụ zuruoke
baa n’ọkụ ala mmụọ. 30 Ọ bụrụ na aka nri gị na-eme ka i jehie, gbupụ ya tufuo. Ọ
kaara gị mma na i tufuru otu akụkụ ahụ gị ma baa n’alaeze eluigwe, karịa na i ji ahụ
zuruoke ma baa n’ọkụ ala mmụọ.

* **5:21** 5:21 Ọpụ 20:13 † **5:22** 5:22 Ọfọ ogori, n’okwu nleị anya ‡ **5:22** 5:22 Nke a pụtara nwanna n’ime Kraịst § **5:22** 5:22 Maọbụ, Onye na-enweghị uche * **5:26** 5:26 Maọbụ, ụgwọ niile † **5:27** 5:27 Ọpụ 20:14

*Ịgba alụkwaghị m*

31 “E kwukwara sị, ‘Onye ọbụla chọrọ ịgbara nwunye ya alụkwaghị m, ga-ebu
ụzọ dee akwụkwọ alụkwaghị m nye nwunye ya.’‡ 32 Ma asị m unu, onye ọbụla gbara
nwunye ya alụkwaghị m, ma ọ bụghị n’ihi ịkwa iko, ọ na-etinye nwanyị ahụ n’ọnọdụ
ga-eme ka ọ kwaa iko. Ọ bụrụ na nwanyị ahụ alụọ di ọzọ, nwoke ahụ lụrụ nwanyị
ahụ na-emekwa mmehie ịkwa iko.

*Ịṅụ iyi*

33 “Ọzọkwa, unu nụrụ na a gwara ndị mmadụ n’oge gara aga sị, ‘Aṅụla iyi ụgha,
kama mezuo ihe niile unu ṅụrụ n’iyi nye Onyenwe anyị.’ 34 Ma asị m unu aṅụla
iyi ọbụla. Ejikwala eluigwe aṅụ iyi n’ihi na eluigwe bụ ebe ocheeze Chineke dị.
35 Ejikwala ụwa aṅụ iyi n’ihi na ụwa bụ ebe mgbakwasị ụkwụ ya. Ejikwala Jerusalem
aṅụ iyi n’ihi na ọ bụ obodo Eze ukwu ahụ. 36 Ejikwala isi gị aṅụ iyi n’ihi na ị pụghị
ime ka otu agịrị isi gị dị ọcha maọbụ dị oji. 37 Aṅụla iyi ọbụla. Kama ka okwu unu
bụrụ ‘E’ maọbụ ‘Ee’; ihe ọbụla gafere nke a sitere n’aka ajọ onye ahụ.

*Ịbọ ọbọ*

38 “Unu anụla na e kwuru sị, ‘Ọ bụ anya ka a kụkpọrọ, anya n’ọnọdụ anya. Ọ
bụrụkwa otu eze ka e tipụrụ, eze n’ọnọdụ eze.’§ 39 Ma ana m asị unu eguzogidela
onye bụ ajọ onye. Kama ọ bụrụ na mmadụ amaa gị ụra na ntị aka nri, tụgharịara
ya ntị nke ọzọ. 40 Ọ bụrụ na mmadụ agbaa gị akwụkwọ n’ụlọikpe, ka ọ nara gị uwe
ime gị, nyekwa ya uwe nke elu gị. 41 Ọ bụrụ na mmadụ esite n’ike chọọ ka i soro ya
gaa puku nzọ ụkwụ atọ, soro ya gaa puku nzọ ụkwụ isii. 42 Nye onye ọbụla rịọrọ gị
ihe. Achụghachikwala ndị na-abịa ka i binye ha ego.

*Ịhụ ndị iro n’anya*

43 “Unu nụrụ na e kwuru sị, ‘Hụnụ ndị agbataobi unu n’anya, ma kpọkwanụ ndị
iro unu asị.’* 44 Ma asị m unu, hụnụ ndị iro unu n’anya, kpekwaaranụ ndị na-esogbu
unu ekpere. 45 Nke a ga-eme ka unu bụrụ ụmụ nke Nna unu bi n’eluigwe, onye na-
eme ka anwụ mụọrọ ndị ọma na ndị ọjọọ, na-emekwa ka mmiri zooro ndị ezi omume
na ndị ajọ omume. 46 Ọ bụrụ naanị ndị hụrụ unu n’anya ka unu na-ahụ n’anya, gịnị
ga-abụ ụgwọ ọrụ unu? Ọ bụladị ndị ọna ụtụ na-emekwa otu a. 47 Ọ bụrụkwa na unu
na-ekele naanị ndị enyi unu ekele, ọ dịghị ihe ọbụla dị iche n’ebe unu na ndị ọzọ nọ.
N’ihi na ndị na-amaghị Chineke na-emekwa otu ahụ. 48 Ya mere, unu kwesiri izuoke
n’ịrụ ọrụ ọma, dịka Nna unu bi n’eluigwe si zukwaa oke.

# 6

*Ozizi banyere inye onyinye*

1 “Kpacharanụ anya ka unu ghara ime ezi omume unu naanị ka ndị mmadụ hụ
unu. N’ihi na unu mee nke a, unu agaghị enweta ụgwọ ọrụ ọbụla site n’aka Nna unu
bi n’eluigwe.

2 “Unu afụla opi mgbe unu na-enye ndị nọ na mkpa onyinye, n’ihi na otu a ka ndị
ihu abụọ na-eme n’ụlọ nzukọ na n’okporoụzọ, ka ndị mmadụ too ha. N’ezie, ana m
agwa unu, ha anatala ụgwọ ọrụ ha n’izuoke. 3 Mgbe unu chọrọ ịrụ ọrụ ebere, meenụ
ya na nzuzo. Ekwela ka aka ekpe gị mata ihe aka nri gị na-achọ ime. 4 Ka onyinye gị
bụrụ na nzuzo. Mgbe ahụ, Nna gị, onye na-ahụ ihe dị na nzuzo ga-akwụghachi gị.

*Ozizi banyere ekpere*

5 “Mgbe ọbụla unu chọrọ ikpe ekpere, unu emela dị ka ndị ihu abụọ, n’ihi na ha
hụrụ iguzo n’ime ụlọ ekpere, nakwa n’akụkụ ụzọ n’anya na-ekpe ekpere, ebe ndị

‡ **5:31** 5:31 Dit 24:1 § **5:38** 5:38 Ọpụ 21:24; Lev 24:20; Dit 19:21 * **5:43** 5:43 Lev 19:18

mmadụ ga-ahụ ha. N'ezie, agwa m unu, ha anatala ụgwọ ọrụ ha n'ebe o zuruoke.
6 Kama, mgbe unu chọrọ ikpe ekpere, baanụ n'ime ime ụlọ unu. Mechiekwanụ ụzọ
unu, kpọkuonụ Nna unu n'ekpere na nzuzo. Mgbe ahụ Nna unu, onye na-ahụ ihe e
mere na nzuzo, ga-enye unu ụgwọ ọrụ unu. 7 Mgbe unu na-ekpe ekpere, unu ekwula
okwu nkwukwasị efu dị ka ndị na-amaghị Chineke na-eme. Ha chere na a ga-anụ
ekpere ha n'ihi ọtụtụ okwu ha na-ekwu. 8 Unu adịla ka ha. Chetanụ na tupu unu
arịọ arịrịọ ọbụla, Nna unu bi n'eluigwe maara ihe na-akpa unu.
9 "Sinụ otu a na-ekpe ekpere:

" 'Nna anyị nke bi n'eluigwe,
ka e doo aha gị nsọ.
10 Ka alaeze gị bịa,
ka e mee uche gị n'ụwa,
dịka e si eme ya n'eluigwe.
11 Nye anyị nri nke ụbọchị taa.
12 Gbaghara anyị mmehie anyị,
dịka anyị si agbaghara ndị na-emehie megide anyị.
13 Ekwela ka anyị daba n'ime ọnwụnwa,
kama, zọpụta anyị n'aka ajọ onye ahụ.'*

14 Ọ bụrụ na unu agbaghara ndị mmadụ mgbe ha mehiere megide unu, Nna unu
nke bi n'eluigwe ga-agbagharakwa unu mmehie unu. 15 Ọ bụrụkwanụ na unu
agbagharaghị ndị ọzọ mmehie niile ha, Nna unu nke bi n'eluigwe agaghị agbaghara
unu mmehie unu.

### *Ibu ọnụ*

16 "Ọzọ, mgbe ọbụla unu na-ebu ọnụ, unu agbarụla ihu unu dịka ndị ihu abụọ
na-eme. N'ihi na ha na-agbarụ ihu ha ka ndị ọzọ hụ na ha na-ebu ọnụ. N'ezie agwa
m unu, ha anatala ụgwọ ọrụ ha. 17 Mgbe ị na-ebu ọnụ, tee isi gị mmanụ, ma saakwa
ihu gị mmiri, 18 ka ndị ọzọ ghara ịhụta na ị na-ebu ọnụ kama ka ọ bụrụ naanị nye
Nna gị, onye anya na-adịghị ahụ. Nna gị, onye na-ahụ ihe niile na-eme na nzuzo,
ga-akwụ gị ụgwọ.

### *Ịkpado akụ n'eluigwe*

19 "Unu akpadola akụ n'ụwa nye onwe unu, ebe ọ ga-agba nchara, akịka atakwa
ya, ebe ndị ohi ga-etiwa ma zukwaa ha. 20 Kama kwadoonụ akụ n'eluigwe nye onwe
unu, ebe ha na-agaghị agba nchara, ebe akịka na-agaghị eri ha, ebe ndị ohi na-adịghị
etiwa maọbụ zuo ihe. 21 N'ihi na ebe ọbụla akụ unu dị ka obi unu ga-adịkwa.
22 "Anya bụ oriọna nke anụ ahụ. Ọ bụrụkwa na anya gị adịrị ọcha, ahụ gị niile
ga-ejupụta n'ìhè. 23 Ọ bụrụ na anya gị ajọọ njọ, akụkụ ahụ gị niile ga-ejupụta
n'ọchịchịrị. Ọ bụrụkwa na ìhè ahụ dị n'ime gị aghọọ ọchịchịrị, ọchịchịrị ahụ ga-adị
ukwuu.
24 "Ọ dịghị onye ọbụla pụrụ ife nna ukwu abụọ, n'ihi na ọ ga-achọ ịhụ otu n'ime
ha n'anya, kpọkwa nke ọzọ asị, maọbụ sọpụrụ otu ma lelịa nke ọzọ anya. Otu a kwa
i nweghị ike ife Chineke na akụ otu mgbe ahụ.

### *Echegbula onwe unu*

25 "N'ihi nke a ka m ji na-asị unu, unu echegbula onwe unu banyere ndụ unu, ihe
unu ga-eri, maọbụ ihe unu ga-añụ, maọbụ banyere ahụ unu, ihe unu ga-eyi n'ahụ. Ọ
bụ ndụ akarịghị nri eji azụ ya, ka ọ bụ ahụ akarịghị ihe e ji ekpuchi ya? 26 Werenụ
ụmụ nnụnụ dị ka ihe ịmaatụ. Ha adịghị akụ mkpụrụ n'ubi maọbụ ewe ihe ubi. Ha
adịghị achịkọtakwa ihe debe n'ọba. Ma Nna unu nke bi n'eluigwe na-azụ ha. Ọ

* **6:13** 6:13 Akwụkwọ ochie ụfọdụ na-emechi ekpere a n'ụzọ dị otu a, n'ihi n'alaeze bụ nke gị, ike na otuto ruo mgbe niile ebighị ebi. Amen.

bụ na unu adịghị oke ọnụahịa karịa ha? 27 Onye n’etiti unu pụrụ itinye otu nkeji
n’ogologo ụbọchị nke ndụ†ya site n’ichegbu onwe ya?
28 “Gịnị mekwaranụ unu ji na-anọ n’echiche oge niile maka uwe? Leenụ okoko
osisi nke ọhịa. Ha adịghị arụ ọrụ maọbụ dọgbuo onwe ha n’ọrụ. 29 Ma asị m unu, ọ
bụladị Solomọn n’ebube nke ịbụ eze ya niile, eyighị uwe ọbụla mara mma dị ka otu
n’ime okoko osisi nke ọhịa ndị a. 30 Ma ọ bụrụ na Chineke si otu a chọọ ahịhịa efu
nke ubi mma, nke pụrụ ịdị ndụ taa ma echi atụba ha n’ite ọkụ, ọ bụ na ọ gaghị a
chọọ unu mma karịa. Unu ndị okwukwe nta? 31 N’ihi nke a, unu echegbukwala onwe
unu na-asị, ‘Gịnị ka anyị ga-eri?’ maọbụ, ‘Gịnị ka anyị ga-aṅụ?’ maọbụ, ‘Gịnịkwa
ka anyị ga-eyi?’ 32 Ọ bụ ihe ndị a ka ndị na-amaghị Chineke na-achọsi ike. Ma Nna
unu bi n’eluigwe maara na ọ dị unu mkpa. 33 Ma burunu ụzọ chọọ alaeze ya na ezi
omume ya, a ga-atụkwasịkwara unu ihe ndị a niile. 34 Ya mere, unu echegbula onwe
unu banyere echi, n’ihi na echi ga-echere onwe ya. Nsogbu nke ụbọchị taa ezuorola
ụbọchị taa.

# 7

*Ikpe ndị ọzọ ikpe*

1 “Unu ekpela ndị ọzọ ikpe, ka a ghara ikpekwa unu ikpe. 2 N’ihi na a ga-ekpe unu
ikpe dịka unu si kpee ndị ọzọ. Ọ bụkwa ihe unu ji tụọrọ ndị ọzọ ka a ga-eji tụọrọ
unu.
3 “Gịnị mere i ji elee ntakịrị ahịhịa dị nwanna gị*n’anya ma ị dịghị ahụta obodobo
osisi dị gị onwe gị n’anya? 4 Olee otu ị ga-esi gwa ya si, ‘Nwanna m, kwere ka m tụpụ
gị ntakịrị ahịhịa danyere gị n’anya,’ mgbe obodobo osisi dị gị n’anya, nke na-adịghị
ekwe gị hụzie ụzọ. 5 Onye ihu abụọ! Buru ụzọ wepụ obodobo osisi dị gị n’anya ka i
nwee ike ịhụzi ụzọ tụpụ ntakịrị ahịhịa nke dị nwanna gị n’anya.
6 “Enyela nkịta ihe dị nsọ. Enyekwala ezi ihe dị oke ọnụahịa. Ha ga-azọtọ ha ma
tụgharịakwa dọrie gị.

*Rịọọnụ, chọọnụ, kụọnụ aka*

7 “Na-arịọnụ, unu ga-arịọta, na-achọnụ, unu ga-achọta, kụọkwanụ aka n’ụzọ, a ga-
emeghekwara unu ụzọ. 8 N’ihi na onye na-arịọ, na-arịọta. Onye na-achọ, na-achọta.
Onye na-akụ aka n’ụzọ ka a ga-emeghekwara ụzọ.
9 “Ọ dị onye n’ime unu, ma ọ bụrụ na nwa ya arịọọ ya achịcha, ga-enye ya okwute?
10 Maọbụ, nwata ahụ arịọọ azụ, o nye ya agwọ? 11 Ya mere, ebe unu ndị ọjọọ maara
otu e si enye ụmụ unu ezi onyinye, Nna unu bi n’eluigwe ọ gaghị enye unu karịa, ma
ọ bụrụ na unu arịọọ ya! 12 Ya mere, n’ime ihe niile, na-emeso ndị mmadụ dị ka i si
chọọ ka ha mesoo gị. Nke a bụ nchịkọta ihe iwu na ndị amụma ziri.

*Ụzọ dị warawara na ndị dị obosara*

13 “Sitenụ n’ọnụ ụzọ dị warawara banye. N’ihi na ọnụ ụzọ ahụ dị obosara. Mbara
ka ụzọ ahụ dịkwa na-eduba n’ịla n’iyi. Ọtụtụ na-esoro ya. 14 Ole na ole na-achọta
ụzọ ahụ na-eduba na ndụ, n’ihi na ọ dị warawara, dịkwa nkpagide.

*Osisi na mkpụrụ ya*

15 “Kpachapụnụ anya! N’ihi na ndị amụma ụgha dị. Ha na-abịakwute unu n’ụdịdị
atụrụ, ma ha bụ agụ. 16 A ga-esite na mkpụrụ†ha mata ndị ha bụ. Ndị mmadụ ọ na-
esite n’osisi ogwu dị n’ọhịa ghọta mkpụrụ osisi grepu, ka ha na-esite n’osisi uke gbara
n’ọhịa ghọta mkpụrụ fiig? 17 N’ụzọ dị otu a, osisi ọbụla dị mma na-amịpụta mkpụrụ
ọma, ma osisi dị njọ na-amịpụta mkpụrụ dị njọ. 18 Osisi na-amị mkpụrụ ọma adịghị

---

† **6:27** 6:27 Maọbụ, otu kubit n’ogologo ya * **7:3** 7:3 Nwanna gị onye agbataobi gị. † **7:16** 7:16 Mkpụrụ
N’ebe a o bụ ihe Igbo na-akpọ omume maọbụ agwa.

amị mkpụrụ ọjọọ. Nke na-amị mkpụrụ ọjọọ adịghịkwa amị mkpụrụ ọma. 19 Ma osisi
ọbụla na-amịghị mkpụrụ ọma ka a ga-egbutu tụnye ya n'ọkụ. 20 Ụzọ e si amata osisi
ọma bụ site na mkpụrụ ya.

### *Ndị ga-abanye n'alaeze*

21 "Ọ bụghị ndị niile na-asị m 'Onyenwe anyị, Onyenwe anyị,' ga-abanye n'alaeze
eluigwe, kama ọ bụ naanị ndị ahụ na-eme ihe Nna m nọ n'eluigwe na-achọ ka ha
mee. 22 N'ụbọchị ahụ, ọtụtụ ndị mmadụ ga-asị m, 'Onyenwe anyị, Onyenwe anyị, ọ
bụ na anyị ejighị aha gị buo amụma, jiri aha gị chụpụ mmụọ ọjọọ, ma jirikwa aha
gị ruo ọtụtụ ọrụ ebube?' 23 Mgbe ahụ aga m agwa ha hoohaa sị ha, 'Amaghị m unu,
sitenụ n'ihu m pụọ, unu ndị ajọ omume!'

### *Ihe iso Jisọs Pụtara*

24 "Onye ọbụla ṅara ntị n'okwu ndị a m kwuru, ma meekwa ha, dị ka nwoke ahụ
maara ihe, onye wuru ụlọ ya n'elu oke nkume. 25 Mmiri zosikwara ike n'elu ụlọ ahụ,
idee mmiri sọkwara, tie n'ụlọ ahụ. Ifufe siri ike fekwara, ma ụlọ ahụ adaghị. N'ihi
na e wuru ntọala ya n'elu oke nkume. 26 Ma ndị niile nụrụ okwu ndị a, ma lefuru
ha anya, bụ ndị nzuzu. Ha dị ka nwoke wuru ụlọ ya n'elu aja. 27 Ngwangwa mmiri
zoro, idee mmiri sọkwara, ifufe fesikwara ike tie n'ụlọ ahụ, ụlọ ahụ dara daruo ala.
Ọdịda ya dị ukwuu."

28 Mgbe Jisọs kwuchara okwu ndị a, ozizi ya juru igwe mmadụ ahụ niile anya.
29 N'ihi na o ziri ihe dịka onye nwere ikike. Ọ bụghị dị ka ndị ozizi iwu ha.

## 8

### *Ọgwụgwọ onye ekpenta*

1 Ọtụtụ mmadụ sooro Jisọs mgbe o si n'ugwu ahụ rịdata. 2 Mgbe ha na-aga n'ụzọ,
otu onye ekpenta bịakwutere ya kpọọ isiala nye ya, rịọ ya sị, "Onyenwe m, ọ bụrụ
na ị chọrọ, ị pụrụ ime ka m dị ọcha."
3 O setịpụrụ aka ya, metụ ya sị, "Achọrọ m ka ị dị ọcha, dịrịkwa ọcha!" Ngwangwa,
ekpenta ahụ lara. 4 Jisọs nyere nwoke ahụ iwu sị ya, "Hụ na ịgwaghị onye ọbụla,
kama gaa gosi onye nchụaja onwe gị, chụọkwa aja onyinye dịka Mosis, nyere n'iwu,
ka ọ bụrụ ihe ama nye ya."

### *Okwukwe nke onye ọchịagha*

5 Mgbe ọ banyere na Kapanọm,* otu onye ọchịagha† bịakwutere ya rịọọ ka o nyere
ya aka. 6 Ọ sịrị, "Onyenwe m, onye na-ejere m ozi dina n'ụlọ n'oke ihe mgbu, akụkụ
ahụ ya kpọnwụkwara akpọnwụ."
7 Jisọs sịrị ya, "Ọ bụ m bịa gwọọ ya?"
8 Ma onye ọchịagha ahụ zara ya sị, "Onyenwe m, ekwesighị m ka ị bata n'okpuru
ụlọ m. Naanị nọdụ n'ebe a, kwuo okwu, ahụ ga-adịkwa onye na-ejere m ozi ike.
9 N'ihi na mụ onwe m bụkwa onye nọ n'okpuru ikike ọchịchị, nwee ndị agha nọ
n'okpuru m. Ana m asị onye nke a, 'gaa.' Ọ gaa, sịkwa onye nke ọzọ, 'bịa.' Ọ bịa.
Ana m asị ohu m, 'mee nke a.' Ọ na-emekwa ya."
10 Mgbe Jisọs nụrụ okwu a, o juru ya anya nke ukwuu. Ọ gwara igwe mmadụ ahụ so
ya okwu sị, "N'ezie, ahụbeghị m okwukwe dị otu a ebe ọbụla; ọ bụladị n'Izrel niile.
11 N'ezie kwa, ọtụtụ ndị mmadụ ga-esite n'ọwụwa anyanwụ nakwa ọdịda anyanwụ
bịa soro Ebraham na Aịzik na Jekọb nọkọọ n'oriri n'alaeze eluigwe. 12 Ma ụmụ alaeze
ahụ, ka a ga-atụpụ n'ezi, n'ime ọchịchịrị, ebe ịkwa akwa na ịta ikikere eze ga-adị."

---

* **8:5** 8:5 Obodo dịkarịsịrị nso osimiri Jọdan, n'akụkụ ndịda ugwu ọnụ mmiri Galili. † **8:5** 8:5 Onye na-achị narị ndị agha

13 Jisọs gwara ọchịagha ahụ okwu sị ya, “Laa! E meerela gị dị ka okwukwe gị sịrị
dị.” Ahụ dịrị onye ahụ na-ejere ya ozi mma n’otu awa ahụ.

### *Jisọs agwọọ ndị ọrịa*

14 Mgbe Jisọs ruru n’ụlọ Pita, ọ chọpụtara na nne nwunye ya nwere ahụ ọkụ. 15 Ọ
metụrụ ya aka, ahụ ọkụ ahụ hapụrụ ya, o biliri malite ijere ya ozi.
16 N’oge uhuruchi, ha kpọtaara ya ọtụtụ ndị mmụọ ọjọọ na-esogbu. O ji okwu ọnụ
chụpụ mmụọ ọjọọ ahụ niile, gwọọkwa ndị niile ahụ na-adịghị ike. 17 Nke a bụ imezu
amụma ahụ Aịzaya buru sị,
“O bupụrụ nrịa nrịa anyị niile,
burukwa ọrịa anyị niile.”‡

### *Ihe ọ ga-efu iso Jisọs*

18 Mgbe Jisọs hụrụ igwe mmadụ dị ukwuu ndị gbara ya gburugburu, ọ nyere ndị
na-eso ụzọ ya iwu ka ha gafee n’ofe nke ọzọ. 19 N’oge ahụ, otu onye n’etiti ndị na-ezi
iwu bịakwutere ya sị ya, “Onye nkuzi, aga m eso gị gaa ebe ọbụla ị na-aga.”
20 Jisọs zara, sị, “Nkịta ọhịa nwere ọnụ ebe ha na-edina. Ụmụ nnụnụ nke igwe
nwekwara akwụ; ma Nwa nke Mmadụ enweghị ebe obibi.”
21 Otu onye ọzọ n’ime ndị na-eso ụzọ ya sịrị ya, “Onyenwe m, aga m eso gị, kama
kwere ka m buru ụzọ gaa lie nna m.”
22 Ma Jisọs zara sị ya, “Soro m ugbu a. Hapụ ndị nwụrụ anwụ ka ha lie ndị nwụrụ
anwụ ibe ha.”

### *Ebili mmiri adajụọ*

23 Mgbe ọ banyere n’ụgbọ, ndị na-eso ụzọ ya sooro ya. 24 N’otu ntabi anya, oke
ifufe bidoro ife n’ọdọ mmiri ahụ, nke mere na ebili mmiri na-ekpuchi ụgbọ ahụ. Ma
ọ nọ na-arahụ ụra mgbe ihe ndị a na-eme. 25 Ndị na-eso ụzọ ya jekwuuru ya, kpọtee
ya, sị ya, “Onyenwe anyị, zọpụta anyị! Lee, na anyị n’ala n’iyi.”
26 Ma ọ zaghachiri, “Unu ndị okwukwe nta, gịnị mere ụjọ ji na-atụ unu?” Mgbe ahụ
o biliri baara ifufe ahụ na ebili mmiri ahụ mba. Ha niile dajụrụ, deere jii.
27 O juru ndị na-eso ụzọ ya anya, mee ka ha jụọ ajụjụ sị, “Ọ bụ ụdị mmadụ dị aṅaa
ka nwoke a bụ? Ọ bụladị ifufe na ebili mmiri na-eme ihe o kwuru.”

### *Ọgwụgwọ ndị mmụọ ọjọọ na-esogbu*

28 Mgbe o rutere n’ofe nke ọzọ nke obodo Gadarin, mmadụ abụọ ndị mmụọ ọjọọ si
n’ebe a na-eli ozu zutere ya. Ha na-akpa ike nke ukwuu, na ọ dịkwaghị onye na-esite
n’ụzọ ahụ agafe n’ihi ha. 29 Ngwangwa, ha tiri mkpu bido na-ajụ ajụjụ sị, “Gịnị ka
anyị na gị nwekọrọ, gị Ọkpara Chineke? Ị gaghị echekwa eche ka oge ruo tupu ibido
ịta anyị ahụhụ?”
30 Igwe ezi§ nọ n’akụkụ ebe ahụ na-akpa nri. 31 Mmụọ ọjọọ ndị a rịọrọ ya arịrịọ sị,
“Ọ bụrụ na ị chụpụ anyị, biko, hapụ anyị ka anyị banye n’ime ezi ndị a.”
32 Ọ nyere ha iwu sị ha, “Ngwa, gaanụ!” Ha sitere n’ime mmadụ abụọ ahụ pụta
banye n’ime igwe ezi ahụ. Otu mgbe ahụ kwa, ezi ndị ahụ niile gbaara ọsọ site
na mkputamkpu ala ọnụ mmiri ahụ dabanyechaa n’ime mmiri ahụ. Ha nwụkwara
n’ime ya. 33 Ndị na-elekọta igwe ezi ndị ahụ gbapụrụ gbaga n’ime obodo kọọrọ ha ihe
niile mere; tinyere ihe mere ndị ahụ mmụọ ọjọọ na-esogbu. 34 Ya mere ndị niile nọ
n’obodo ahụ pụtara ịhụ Jisọs. Mgbe ha hụrụ ya ha rịọrọ ya sị ya pụọra ha n’akụkụ
obodo ha.

‡ **8:17** 8:17 Aịz 53:4 § **8:30** 8:30 Ezi Ezi bụ otu n’ime anụmanụ ndị na-adịghị ọcha nye ndị Juu. Lev 11:7

# 9

*Jisọs agwọọ onye ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ*

1 Jisọs banyekwara n'ụgbọ mmiri nke kwọọrọ ya bịaruo n'obodo nke ya. 2 Ndị
ikom ụfọdụ butere ya otu nwoke akụkụ ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ, bụ onye dina
n'ute. Mgbe Jisọs hụrụ okwukwe ndị ahụ, ọ gwara onye ọrịa ahụ okwu sị ya, "Nwee
obi ike nwa m nwoke n'ihi na a gbagharala gị mmehie gị niile."

3 N'oge a, ụfọdụ ndị ozizi iwu nke ndị Juu nọ n'ebe ahụ sịrịtara onwe ha, "Nwoke
a na-ekwulu Chineke."

4 Ma ebe Jisọs matara ihe ha na-eche n'obi ha, ọ sịrị, "Gịnị mere unu ji na-eche ajọ
echiche n'obi unu? 5 Olee nke ka mfe ikwu? Ọ bụ ị sị, 'A gbagharala gị mmehie gị
niile,' ka ọ bụ ị sị, 'Bilie jee ije'? 6 Ma ka unu mata na Nwa nke Mmadụ nwere ikike
n'ụwa ịgbaghara mmehie." Ọ sịrị onye ahụ akụkụ ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ,
"Bilie, chịrị ute gị laa!" 7 Nwoke ahụ biliri, chịrị ute ya laa n'ụlọ ya. 8 Mgbe igwe
mmadụ a hụrụ ihe ahụ mere, akpata oyi jụrụ ha n'ahụ n'ihi egwu. Ha tokwara
Chineke onye na-enye ụmụ mmadụ ikike dị otu a.

*Ọkpụkpọ Matiu*

9 Mgbe Jisọs si n'ebe ahụ na-aga, ọ hụrụ otu nwoke a na-akpọ Matiu ka ọ nọdụrụ
ala n'ụlọ ịnakọta ụtụ. Ọ sịrị ya, "Soro m." Na-atụfughị oge, ọ hapụrụ ihe niile soro
ya.

10 Dị ka ọ nọdụrụ ala iri nri uhuruchi n'ụlọ Matiu, ọtụtụ ndị ọna ụtụ na ndị mmehie
sooro ya na ndị na-eso ụzọ ya nọdụ na-eri nri. 11 Mgbe ndị Farisii hụrụ nke a, ha
jụrụ ndị na-eso ụzọ ya ajụjụ sị ha, "Gịnị mere onye ozizi unu ji eso ndị ọna ụtụ na
ndị mmehie na-eri nri?"

12 Mgbe ọ nụrụ nke a, Jisọs sịrị, "Mkpa dibịa adịghị akpa ndị ahụ dị ike, kama
ọ bụ ndị ahụ na-esighị ike ka mkpa dibịa na-akpa. 13 Ma gaanụ mụta ihe okwu a
pụtara, 'Ana m achọ ebere, ọ bụghị aja.'* N'ihi na abịaghị m ịkpọ ndị ezi omume,
kama abịara m ịkpọ ndị mmehie."

*Ajụjụ banyere ibu ọnụ*

14 Emesịa, ndị na-eso ụzọ Jọn bịara jụọ ya ajụjụ sị, "Gịnị mere ndị na-eso ụzọ gị
adịghị ebu ọnụ dị ka anyị onwe anyị na ndị Farisii na-eme?"

15 Jisọs jụrụ ha sị, "O kwesiri ka ndị enyi onye na-alụ nwunye ọhụrụ nọrọ na mwute
na-erighị nri, mgbe ha na di nwanyị ọhụrụ nọ? Oge na-abịa mgbe a ga-ewepụ di
nwanyị ọhụrụ n'etiti ha, mgbe ahụ ka ha ga-ebu ọnụ.

16 "Ọ dịghị onye na-eji akwa ọhụrụ kwachie ebe akwa ochie siri dọkaa, n'ihi na
akwa ahụ ga-esi n'ebe a kwachiri ya dọwaa; mee ka ọ dị njọ karịa ka ọ dị na mbụ.
17 Ọ dịkwaghị onye ga-etinye mmanya ọhụrụ n'ime karama akpụkpọ ochie, n'ihi na
karama ochie ahụ ga-agbawa mee ka mmanya ọhụrụ ahụ wufuo. Kama ọ dị mma
itinye mmanya ọhụrụ n'ime karama akpụkpọ ọhụrụ, nke ga-echekwa ha abụọ nke
ọma."

*Nwata nwanyị na ọtụtụ ndị ọzọ*

18 Mgbe ọ nọ na-ekwu okwu, otu onyeisi ụlọ ekpere bịara kpọọ isiala nye ya, sị, "Ọ
dịbeghị anya nwa m nwanyị nwụrụ. Otu ọ dị, bịa ka ị bikwasị ya aka gị. Ọ ga-ebili
dịkwa ndụ ọzọ." 19 N'ihi nke a, Jisọs soro ya gawa. Ndị na-eso ụzọ ya sokwara ha.

20 Ma o nwere otu nwanyị onye ahụ na-esighị ike. Nwanyị a anọọla n'ọrịa a afọ
iri na abụọ. Ọ bụkwa ọrịa oruru ọbara nke na-adịghị akwụsị akwụsị ka ọ na-arịa.
Nwanyị a sitere n'azụ bịaruo ya nso, metụ ọnụ uwe ya aka. 21 N'ihi na o kwuolarị
n'ime obi ya sị, "Ọ bụrụ nnọọ na m ga-enwe ike metụ ọnụ uwe ya aka, a ga-agwọ m."

---

* **9:13** 9:13 Hos 6:6

22 Jisọs chighariri lee ya anya sị ya, “Ada m, nwee obi ike, n’ihi na e sitela
n’okwukwe gị mee ka ahụ dị gị mma.” Ahụ dịkwara nwanyị ahụ mma site n’oge
ahụ.
23 Mgbe Jisọs batara n’ụlọ onyendu ụlọ ekpere ndị Juu ahụ, hụ igwe mmadụ ka ha
na-atụ ụzụ na ndị na-egbu ọja. 24 Ọ sịrị ha, “Sinụ ebe a pụọ, nwata nwanyị a anwụghị
anwụ, kama ọ nọ n’ụra.” Ma ha chịrị ya ọchị. 25 Ma mgbe achụpụsịrị igwe mmadụ
ahụ, ọ banyere n’ime ụlọ, jide nwata nwanyị ahụ n’aka, o bilie ọtọ. 26 Akụkọ ọrụ
ebube a gbasara n’ebe niile n’ala ahụ.

### *Jisọs agwọọ ndị ìsì na onye ogbi*

27 Mgbe Jisọs si n’ebe ahụ na-apụ, ụmụ nwoke abụọ ndị kpuru ìsì sooro ya. Ha
tikuru ya mkpu na-asị, “Nwa Devid, meere anyị ebere!”
28 Ha sooro ya bata n’ụlọ ebe ọ nọ. Ọ jụrụ ha ajụjụ sị, “Unu kwere na m nwere ike
ime ka unu hụ ụzọ?”
Ha zara sị ya, “E, Onyenwe anyị, anyị kweere.”
29 O metụrụ ha aka n’anya sị ha, “Ya dịrị unu dị ka okwukwe unu si dị.”
30 Ngwangwa ndị ìsì ahụ bidoro ịhụ ụzọ. Jisọs maara ha ọkwa sị ha “Unu agwakwala
onye ọbụla.” 31 Ma ha pụrụ gbasaa akụkọ a ebe niile n’ala ahụ.
32 Mgbe ndị a sitere n’ebe ahụ pụọ, ndị ọzọ buteere ya nwoke dara ogbi, onye mmụọ
ọjọọ bikwa n’ime ya. 33 Mgbe ọ chụpụrụ mmụọ ọjọọ ahụ, onye ogbi ahụ bidoro ikwu
okwu. Ibubo nwụrụ igwe mmadụ nọ n’ebe ahụ. Ha sịrị, “Anyị ahụtụbeghị ihe dị otu
a n’ala Izrel.”
34 Ma ndị Farisii sịrị, “Ọ bụ ekwensu, eze ndị mmụọ ọjọọ, na-enye ya ike ịchụpụ
mmụọ ọjọọ.”

### *Ndị ọrụ adịghị ukwuu*

35 Jisọs jeghariri n’obodo niile na ogbe niile dị n’ebe ahụ, ma ndị ukwu na ndị
nta, na-ezi ihe n’ụlọ ekpere ndị Juu, na-ekwusakwa oziọma nke alaeze ahụ. Ọ na-
agwọkwa ọrịa na nrịa nrịa niile dị iche iche. 36 Mgbe ọ hụrụ igwe mmadụ niile na-
abịakwute ya, ọmiiko ha mere ya, n’ihi na ha bụ ndị a na-esogbu. Ndị na-enweghị
onye inyeaka. Ndị dị ka atụrụ na-enweghị onye na-azụ ha. 37 Mgbe ahụ, ọ sịrị ndị
na-eso ụzọ ya, “Owuwe ihe ubi hiri nne n’ezie. Ma ndị ọrụ dị ole na ole. 38 Ya mere,
rịọọnụ Onyenwe owuwe ihe ubi ka o zite ndị ọrụ n’owuwe ihe ubi ya.”

# 10

### *Jisọs ezipu ndị ozi iri na abụọ*

1 Jisọs kpọrọ ndị na-eso ụzọ ya iri na abụọ nye ha ikike ịchụpụ mmụọ na-adịghị
ọcha, na ịgwọ nrịa nrịa na ọrịa niile dị iche iche.

2 Nke a bụ aha ndị ozi iri na abụọ ahụ:

Saimọn (onye a na-akpọkwa Pita) na Andru nwanne Saimọn;
Jemis nwa Zebedi, na Jọn nwanne ya.
3 Filip na Batalomi;
Tọmọs na Matiu onye ọna ụtụ;
Jemis nwa Alfiọs, na Tadiọs.
4 Saimọn onye a na-akpọ Zilọt* na Judas Iskarịọt, onye raara ya nye n’aka ndị gburu
ya.

* **10:4** 10:4 Onye so n’otu ndị Juu chọrọ iji ike kwatuo ọchịchị ndị Rom.

5 Ndị ikom iri na abụọ ndị a ka Jisọs nyere ikike zipụ. Maara ha ọkwa sị ha: “Unu
agala n’ebe ndị mba ọzọ, maọbụ n’ebe ndị Sameria nọ. 6 Kama jekwurunụ ụmụ Izrel,
ndị bụ atụrụ furu efu. 7 Mgbe unu na-aga, na-ekwusaaranụ ha sị, ‘alaeze eluigwe a
dịla nso.’ 8 Gwọọnụ ndị ọrịa, kpọteenụ ndị nwụrụ anwụ, meenụ ka ahụ ndị ekpenta
dị ọcha,†chụpụkwanụ mmụọ ọjọọ. N’efu ka unu natara. Ya mere, nyenụ n’efu.

9 “Mgbe unu na-aga, unu anatala ọlaọcha maọbụ ọlaedo, maọbụ ọla ọbụla tinye
n’ime beliịt unu. 10 Unu ejikwala akpa maka njem unu, maọbụ uwe abụọ, maọbụ
akpụkpọụkwụ, maọbụ mkpanaka. N’ihi na onye ọrụ kwesiri ihe e ji azụ ya. 11 Ma
obodo ọbụla maọbụ ogbe ọbụla unu bara n’ime ya, chọọnụ ụfọdụ ndị kwesiri
nsọpụrụ bi n’obodo ahụ. Nọgidekwanụ n’ụlọ ha ruo mgbe unu ga-ahapụ obodo
ahụ. 12 Mgbe unu na-abanye n’ụlọ ahụ, keleenụ ndị bi na ya sị, udo dịrị unu. 13 Ọ
bụrụ na ndị nọ n’ụlọ ahụ anabata unu, meenụ ka udo unu bịakwasị n’ụlọ ahụ. Ọ
bụrụkwanụ na ha anabataghị unu, ka udo unu lọghachikwute unu. 14 Ọ bụrụ na
onye ọbụla anabataghị unu, maọbụ jụ ịnụrụ okwu unu, mgbe unu na-ahapụ ụlọ ahụ
maọbụ obodo ahụ kụchapụnụ aja dị n’ụkwụ unu. 15 N’eziokwu, ọ ga-adịrị obodo ahụ
njọ n’ụbọchị ikpe karịa obodo Sọdọm na Gọmọra.

### *Mkpagbu nke oge dị n’ihu*

16 “Ana m ezipu unu dị ka atụrụ n’etiti agụ. Ya mere, nweenụ uche dịka agwọ.
Burunu ndị a na-apụghị ịta ụta dịka nduru. 17 Kpachapụnụ anya. N’ihi na a ga-
enyefe unu n’aka nzukọ ndị ụlọ ikpe, pịaakwa unu ihe n’ụlọ ekpere ha. 18 A ga-ekpe
unu ikpe n’ihu ndị na-achị achị na n’ihu ndị eze n’ihi m. Ma nke a ga-enye unu ohere
ịgwa ha ihe banyere m. E, nke a ga-enye unu ohere ịgba ama banyere m nye ndị
mba ọzọ. 19 Mgbe ha jidere unu na-ekpe unu ikpe, unu echegbula onwe unu banyere
ihe unu ga-ekwu, maọbụ otu unu ga-esi kwuo ya. N’ihi na a ga-eme ka unu mata ihe
unu ga-ekwu n’oge ahụ. 20 N’ihi na ọ bụghị unu ga-ekwu n’onwe unu. Kama Mmụọ
nke Nna unu bi n’eluigwe ga-esite n’ọnụ unu kwuo okwu.

21 “Nwanne ga-arara nwanne ya nye ka e gbuo ya, nna ga-ararakwa nwa ya nye.
Ụmụ ga-ebili megide ndị mụrụ ha mee ka e gbuo ha. 22 Mmadụ niile ga-akpọ unu asị
n’ihi m. Ma onye ga-eguzosi ike ruo ọgwụgwụ ka a ga-azọpụta. 23 Mgbe ọbụla ndị
mmadụ sogburu unu n’otu obodo gbalaganụ n’obodo ọzọ. N’ezie, asị m unu, unu
agaghị agazucha obodo niile nke Izrel tupu Nwa nke Mmadụ alọghachi.

24 “Nwata akwụkwọ adịghị akarị onye nkuzi ya. Ohu adịghị akarịkwa nna ya
ukwu. 25 O zuorela onye na-eso ụzọ onye nkuzi ka ọ dị ka onye nkuzi ya, na ohu ahụ
ka ọ dị ka onyenwe ya. Ọ bụrụ na a kpọrọ nna nwe ụlọ Belzebub, a ga-esi aṅaa ghara
ịkpọ ndị ezinaụlọ ya ihe karịrị nke a?

### *Onye e kwesiri ịtụ egwu*

26 “Ya mere unu atụla ha egwu. O nweghị ihe ọbụla e kpuchiri ekpuchi nke a na-
agaghị ekpughe, maọbụ ihe e zoro ezo nke a na-agaghị eme ka ọ pụta ìhè. 27 Ihe m
na-agwa unu ugbu a na nzuzo, kọsaanụ ya mgbe chi bọrọ. Ihe m ji nwayọọ mee ka ọ
baa unu na ntị, nọdụnụ n’elu ụlọ kwusaa ya. 28 Unu atụla egwu ndị pụrụ igbu naanị
anụ ahụ unu, ma ha enweghị ike ịmetụ mkpụrụobi unu aka. Kama onye unu ga-atụ
egwu bụ Onye ahụ nwere ike imebi anụ ahụ unu na mkpụrụobi, tụbakwa ha n’ọkụ
ala mmụọ. 29 Ọ bụghị otu kobo ka a na-ere ụmụ nza abụọ? Ma otu n’ime ha agaghị
ada n’ala ma ọ bụrụ na Nna unu bi n’eluigwe amaghị. 30 Ọ bụladị agịrị isi dị n’isi
unu ka a maara ọnụọgụgụ ha. 31 Ya mere, unu atụla egwu. Unu dị oke ọnụ karịa
ọtụtụ ụmụ nza.

---

† **10:8** 10:8 N’akwụkwọ nsọ, ekpenta bụ aha gụnyere ọtụtụ ọrịa na-emetụta anụ ahụ.

32 “Ya mere, onye ọbụla kwupụtara m n’ihu ụmụ mmadụ, ka mụ onwe m ga-
ekwupụta n’ihu Nna m bi n’eluigwe. 33 Ma onye ọbụla na-agọnarị m n’ihu ndị
mmadụ, mụ onwe m ga-agọnarịkwa ya n’ihu Nna m bi n’eluigwe.
34 “Unu echekwala na m bịara iweta udo n’ụwa. Abịaghị m iweta udo, kama ọ bụ
iwebata mma agha. 35 Abịara m ime,
“ ‘Ka nwoke megide nna ya,
ka nwa nwanyị megide nne ya,
ka nwunye nwa megide nne di ya,
36 ndị iro mmadụ ga-abụ ndị ezinaụlọ ya.’‡
37 “Ọ bụrụ na ị hụrụ nne gị maọbụ nna gị n’anya karịa m, i kwesighị ịbụ onye nke
m. Ọ bụrụ na ị hụrụ nwa gị nwoke, maọbụ nwa gị nwanyị n’anya karịa m, i kwesighị
ịbụ onye nke m. 38 Onye ọbụla na-eburughị obe ya soro m, ekwesighị ị bụ onye nke
m. 39 Onye ọbụla chọtara ndụ ya ga-etufu ya, ma onye ọbụla tufuru ndụ ya maka m,
ga-achọtakwa ya.
40 “Ndị niile nabatara unu na-anabata m. Mgbe ha nabatara m, ọ bụkwa Onye ahụ
zitere m ka ha na-anabata. 41 Ọ bụrụ na unu anabata onye amụma n’ihi na ọ bụ
onye amụma, unu na onye amụma ahụ ga-enwekọ otu ụgwọ ọrụ. Ọ bụrụkwa na
unu anabata onye ezi omume n’ihi ezi omume ya, unu ga-esorokwa ya nata ụgwọ
ọrụ nke onye ezi omume. 42 Ọ bụrụ na onye ọbụla ekunye otu n’ime ndị a na-eso ụzọ
m mmiri oyi ka ọ ṅụọ, n’ihi na ọ bụ onye na-eso ụzọ m, n’ezie, asị m unu, ọ ghaghị
ịnata ụgwọ ọrụ ya.”

# 11

### *Ozi Jọn ziri ka e zie Jisọs*

1 Mgbe Jisọs nyesịrị ndị na-eso ụzọ ya ndụmọdụ ndị a, ọ hapụrụ ebe ahụ pụọ. Bido
na-ejegharị n’obodo dị iche iche na-ezisa oziọma.
2 Jọn omee baptizim nọkwa n’ụlọ mkpọrọ n’oge ahụ. Mgbe ọ nụrụ akụkọ ọrụ ebube
niile nke Kraịst na-arụ, o zipụrụ ndị na-eso ụzọ ya. 3 Ọ gwara ha ka ha jụọ ya ajụjụ
sị, “Ọ bụ gị bụ onye ahụ anyị na-ele anya ọbịbịa ya, ka ọ bụ onye ọzọ?”
4 Jisọs zara ha sị, “Laghachinụ azụ gwa Jọn banyere ihe unu nụrụ na ihe anya
unu hụrụ. 5 Gwanụ ya na a na-eme ka ndị ìsì hụ ụzọ, ka ndị ngwụrọ gaa ije. A
na-emekwa ka ahụ ndị ekpenta dị ọcha.*Ndị ogbi na-anụ ihe, na-ekwu okwu. Ndị
nwụrụ anwụ ka a na-akpọte. Gwakwanụ ya ihe banyere oziọma a na-ezisara ndị
ogbenye. 6 Ziekwanụ ya ozi a, na ngọzị na-adịrị onye ahụ na-enweghị ihe mkpasu
iwe n’ihi m.”
7 Mgbe ndị ahụ Jọn zitere lara, Jisọs bidoro ịgwa igwe mmadụ nọ n’ebe ahụ okwu
banyere Jọn. Ọ jụrụ ha ajụjụ sị, “Mgbe unu gara n’ọzara ịhụ Jọn, gịnị ka unu lere
anya na unu ga-ahụ? Ọ bụ ahịhịa achara nke ikuku na-ebugharị? 8 Ma ọ bụghị otu
a, gịnị ka unu pụrụ ịga ịhụ? Ọ bụ nwoke yi uwe mara mma? Ma lee ndị na-eyi uwe
dị oke ọnụahịa na-anọ n’ụlọ eze. 9 Ma gịnị ka unu lere anya na unu ga-ahụ? Ọ bụ
onye amụma? E, asị m unu, ọ bụ onye karịrị onye amụma. 10 Onye bụ onye ahụ e
dere ihe banyere ya n’akwụkwọ nsọ sị,
“ ‘Lee, aga m ezipu onyeozi m n’ihu gị,
onye ga-edozi ụzọ gị n’ihu gị.’†
11 N’ezie, ọ dịghị nwoke ọbụla n’etiti ndị nwanyị mụrụ dị ukwuu karịa Jọn omee
baptizim. Ma onye dịkarịsịrị nta n’alaeze eluigwe dị ukwuu karịa ya. 12 Site n’ụbọchị
ndị ahụ Jọn omee baptizim malitere ọrụ ya ruo ugbu a, ihe banyere alaeze eluigwe

‡ **10:36** 10:36 Mai 7:6 * **11:5** 11:5 Ọrịa a bụ ekpenta, a bụghị ka anyị si mara ya n’ala anyị, kama ọ bụ aha ndị Griik ji mara ọrịa niile dị iche iche nke na-emetụta akpụkpọ ahụ. † **11:10** 11:10 Mal 3:1

na-agabiga ihe ike. Otu a kwa ndị dị ike na-abagidekwa ya. [13] N'ihi na tupu Jọn abịa,
iwu na ndị amụma niile buru amụma banyere alaeze a. [14] Ọ bụrụkwa na unu jikeere
ịnabata ya, ọ bụ ya bụ Ịlaija ahụ, nke na a ga ịbịa. [15] Onye ọbụla nwere ntị ịnụ ihe,
ya nụrụ.
[16] "Gịnị ka m ga-eji tụnyere ndị bi n'ọgbọ a? Gịnị ka ha yiri? Ha dị ka ụmụntakịrị
na-egwuri egwu n'ama, ndị na-asị ibe ha,
[17] " 'Anyị gburu unu ọja,
ma unu ekweghị ete egwu.
Anyị bụụrụ unu abụ ịkwa ozu,
ma unu akwaghị akwa.'
[18] Jọn bịara na-erighị achịcha maọbụ ihe ọṅụṅụ. Ha sịrị, 'Mmụọ ọjọọ bi n'ime ya.'
[19] Ma Nwa nke Mmadụ bịara na-eri ihe oriri, na-aṅụkwa ihe ọṅụṅụ. Ha sị, 'Lee,
onye oke oriri na onye oke aṅụmaṅụ abịala, enyi ndị ọna ụtụ na ndị mmehie.' Ma
amamihe na-esite n'ọrụ ya gosiri na ihe o mere dị mma."

### *Abụmọnụ nye obodo ndị na-ekwenyeghị*

[20] Mgbe ahụ ọ bidoro ịbụ obodo niile ebe ọ rụrụ ọtụtụ ọrụ ebube ọnụ, n'ihi na
obodo ndị a echegharịghị. [21] "Ahụhụ ga-adịrị gị Korazin. Ahụhụ ga-adịkwara gị
Betsaida. N'ihi na a sị na ọ bụ n'ime Taịa na Saịdọn ka a rụrụ ọrụ ebube niile a
rụrụ n'ime unu, ha gaara echegharị ma gosikwa nchegharị ha site n'iyi uwe mkpe
na ikpokwasị onwe ha ntụ n'isi. [22] N'ezie asị m unu na ọ ga-adịrị unu njọ n'ụbọchị
ikpe ahụ karịa obodo Taịa na Saịdọn. [23] Ma gị Kapanọm bụ obodo a na-asọpụrụ, a
ga-ebuli gị elu ruo eluigwe? Mba, ị ga-arịdaru ọkụ ala mmụọ. N'ihi na a sị na a rụrụ
ọrụ ebube m rụrụ n'ime gị n'obodo Sọdọm, a garaghị ala ya n'iyi. Ọ gaara adịrị ruo
taa. [24] N'ezie asị m unu, ọ ga-adịrị unu njọ n'ụbọchị ikpe ahụ karịa obodo Sọdọm."

### *Izuike nye ndị ike gwụrụ*

[25] N'oge ahụ, Jisọs kwuru sị, "Nna, Onyenwe eluigwe na ụwa, ana m ekele gị,‡n'ihi
na ị zonarịrị ndị ọkachamara eziokwu ahụ, ma kpughee ya nye ụmụntakịrị. [26] E,
Nna m, ọ tọrọ gị ụtọ ime ya n'ụzọ dị otu a.
[27] "Nna m enyefeela m ihe niile n'aka. Ọ dịghị onye maara Ọkpara ahụ ma ọ bụghị
Nna ya. Ọ dịkwaghị onye maara Nna karịa Ọkpara ahụ na ndị Ọkpara ahụ kwadoro
igosi Nna ya.
[28] "Bịakwutenụ m unu niile ndị na-adọgbu onwe unu n'ọrụ, ndị e bokwasịrị ibu
dị arọ. Aga m enyekwa unu izuike. [29] Nyaranụ yoku§nke m n'olu unu, mụtakwanụ
ihe site n'aka m. N'ihi na adị m nwayọọ, bụrụkwa onye dị umeala n'obi. Unu ga-
achọtakwara mkpụrụobi unu izuike. [30] N'ihi na yoku m dị mfe, ibu m adịghịkwa
arọ."

## 12

### *Jisọs bụ Onyenwe ụbọchị izuike*

[1] N'oge ahụ, Jisọs sitere n'ubi a kụrụ ọka na-agafe n'ụbọchị izuike. Ma ebe agụụ
na-agụ ndị na-eso ụzọ ya, ha malitere ịghọ ogbe ọka, na ịta mkpụrụ ya. [2] Mgbe ndị
Farisii hụrụ nke a, ha sịrị ya, "Lee, ndị na-eso ụzọ gị na-eme ihe na-ezighị ezi ime
n'ụbọchị izuike!"
[3] Ma ọ zara ha sị, "Ọ bụ na unu agụtaghị ihe Devid na ndị ya na ha soo mere
mgbe agụụ na-agụ ha? [4] Otu o si banye n'ụlọ Chineke, ya na ndị so ya, rie achịcha
a na-eche n'ihu Chineke, nke na-ezighị ezi n'iwu ka ha rie, kama ọ dịịrị naanị ndị
nchụaja iri ya. [5] Ka ọ bụ na unu agụtabeghị ebe e dere ya n'ime akwụkwọ iwu Mosis
na ndị nchụaja na-emerụ ụbọchị izuike n'ụlọnsọ ukwu ahụ, ma ọ dịghị onye na-ata

‡ **11:25** 11:25 Maọbụ, ana m eto gị § **11:29** 11:29 Maọbụ, ịyagba

ha ụta? [6] Ma ana m agwa unu na onye dị ukwuu karịa ụlọnsọ ukwu nọ n'ebe a. [7] Ọ
bụrụ na unu ghọtara ihe akwụkwọ nsọ na-ekwu mgbe ọ na-asị, 'Ana m achọ ebere,
ọ bụghị aja.'*Unu agaraghị ama ndị ikpe na-amaghị ikpe. [8] N'ihi na Nwa nke Mmadụ
bụ Onyenwe ụbọchị izuike."
[9] O sitere n'ebe ahụ pụọ banye n'ụlọ nzukọ ha. [10] N'ebe a ka ọ hụrụ otu nwoke aka
ya kpọnwụrụ akpọnwụ. Ndị nọ n'ebe ahụ jụrụ ya ajụjụ sị, "O ziri ezi n'iwu ịgwọ
mmadụ n'ụbọchị izuike?"†
[11] Ma ọ zara ha sị, "Ọ bụrụ na otu onye n'ime unu nwere otu atụrụ danyere n'ime
olulu n'ụbọchị izuike gịnị ka ọ ga-eme? Ọ ga-ahapụ ya n'ebe ahụ? Ọ gaghị ejide ya
dọpụta ya? [12] Mmadụ ọ dịghị mkpa karịa atụrụ? Ya mere, o ziri ezi n'iwu bụ ịrụ ọrụ
ọma n'ụbọchị izuike."
[13] Mgbe ahụ ọ sịrị nwoke ahụ, "Setịpụ aka gị." Nwoke ahụ setịpụrụ aka ya. Aka
ahụ dịkwara ya mma dị ka aka nke ọzọ. [14] N'ihi nke a ndị Farisii sitere n'ebe ahụ
pụọ, ga gbaa izu otu ha ga-esi gbuo ya.

### *Onye Chineke họpụtara*

[15] Ma ebe Jisọs maara ihe ha na-ezube ime, o sitere n'ebe ahụ pụọ. Ma ọtụtụ ndị
mmadụ sooro ya. Ọ gwọkwara ha nrịa nrịa ha niile. [16] Ma o nyere ha iwu ka ha
hapụ ịgwa ndị ọzọ onye ọ bụ. [17] Nke a bụ ka emezuo okwu ahụ Aịzaya onye amụma
kwuru,

[18] "Onye a bụ onye na-ejere m ozi, onye m họpụtara.
Onye m hụkwara n'anya. O bụkwa onye ihe ya na-atọ m ụtọ.
Aga m etinye Mmụọ m n'ime ya.
Ọ ga-eme ka ikpe ziri ezi rute mba niile aka.
[19] Ọ gaghị ese okwu, ọ gaghị etisikwa mkpu ike.
O nweghị onye ga-anụ olu okwu ya n'ezi.
[20] Ọ gaghị agbaji ahịhịa riidi azọpịara n'ala,
maọbụ menyụọ ogho oriọna na-enwu ntakịrị ntakịrị,
tutu ruo mgbe ọ ga-eme ka ikpe ziri ezi merie.
[21] Ọ bụkwa n'aha ya ka mba niile dị n'ụwa ga-atụkwasị olileanya ha."‡

### *Jisọs na ekwensu*

[22] Emesịa, ha kpọtaara ya otu nwoke kpuru ìsì ma daakwa ogbi. Ọ bụkwa onye
mmụọ ọjọọ na-esogbu. Ọ gwọrọ ya, mee ka nwoke ahụ hụ ụzọ, bidokwa ikwu okwu.
[23] Ihe a juru igwe mmadụ nọ n'ebe ahụ anya. N'ihi ya, ha kwuru sị, "Nwoke a, ọ
ga-abụ Nwa Devid?"§
[24] Mgbe ndị Farisii nụrụ nke a, ha sịrị, "Nwoke a chụpụrụ mmụọ ọjọọ a n'ihi na
Belzebub, eze ndị mmụọ ọjọọ, nyere ya ike ịchụpụ ya."
[25] Ma ebe ọ matara ihe ha na-eche n'obi ha. Ọ gwara ha okwu sị, "Alaeze ọbụla
kewara megide onwe ya ga-ada. Obodo o bụla maọbụ ezinaụlọ ọbụla kewara megide
onwe ya agaghị eguzo. [26] Ọ bụrụ na ekwensu achụpụ ekwensu, o kewala megide
onwe ya. Oleekwanụ otu alaeze ya ga-esi guzo. [27] Dị ka unu kwuru, ọ bụrụ na m
na-achụpụ mmụọ ọjọọ site n'ike Belzebub, ọ bụ n'ike onye ka ụmụ unu ndị ikom na-
achụpụ ha? Ya mere, ọ bụ ụmụ unu ga-ekpe unu ikpe n'ihi okwu a unu kwuru. [28] Ma
ọ bụrụ na m na-esite n'ike Mmụọ nke Chineke na-achụpụ mmụọ ọjọọ, matakwanụ
na alaeze Chineke abịala n'etiti unu.
[29] "Ọ dịghị mmadụ ọbụla pụrụ ịbanye n'ụlọ nwoke dị ike kwakọrọ ngwongwo niile
dị n'ụlọ ahụ. Ma o nwere ike ime nke a ma ọ bụrụ na ọ ga-eburu ụzọ kee nwoke ahụ

* **12:7** 12:7 Hos 6:6 † **12:10** 12:10 Maọbụ, ụbọchị ofufe ndị Juu ‡ **12:21** 12:21 Aịz 42:1-4 § **12:23** 12:23
Onye nzọpụta ahụ.

agbụ? Mgbe o kesịrị ya agbụ, o nwere ike ịbanye kwakọtaa ngwongwo niile dị n’ụlọ
nwoke ahụ.
30 “Onye ọbụla na-adịnyeghịrị m na-emegide m. Onye ọ bụlakwa na-adịghị eso
m ekpokọta, na-ekposa ekposa. 31 Ya mere, ana m agwa unu sị, na a ga-agbaghara
mmehie na nkwulu niile. Ma agaghị agbaghara nkwulu ekwuluru Mmụọ Nsọ. 32 Onye
ọbụla nke ga-ekwu okwu megide Nwa nke Mmadụ, a ga-agbaghara ya, ma onye ọbụla
na-ekwu okwu megide Mmụọ Nsọ, agaghị agbaghara ya, n’ọgbọ a maọbụ n’ọgbọ nke na-
abịa.

*Osisi na mkpụrụ ya*

33 “Ọ bụrụ na e mee ka osisi too nke ọma, ọ ga-amịta mkpụrụ ọma, ma ọ bụrụ na
o toghị nke ọma, ọ ga-amịta mkpụrụ ọjọọ. N’ihi na a na-amata osisi ọbụla site na
mkpụrụ ya. 34 Ụmụ ajụala, olee otu unu ga-esi kwuo okwu dị mma, ebe obi unu dị
njọ? N’ihi na ihe mmadụ kwuru bụ ihe si ya n’obi pụta. 35 Ezi mmadụ na-esi n’ezi
akụ ya wepụta ihe dị mma, ma ajọ mmadụ na-esitekwa n’ajọ akụ ya wepụta ajọọ
ihe. 36 Ma ana m agwa unu sị, n’ụbọchị ikpe ahụ, onye ọbụla ga-aza ajụjụ, banyere
okwu niile na-enweghị isi o kwuru. 37 N’ihi na ọ bụ site n’okwu ọnụ gị ka ị ga-abụ
onye ikpe mara, sitekwa n’okwu ọnụ gị ka ị ga-abụ onye ikpe na-amaghị.”

*Ihe ịrịbama Jona*

38 Mgbe ahụ, ụfọdụ ndị ozizi iwu na ndị Farisii gwara Jisọs sị ya, “Onye nkuzi, anyị
chọrọ ka i gosi anyị ihe ịrịbama.”
39 Ma ọ zara sị ha, “Ọ bụ naanị ajọ ọgbọ nke na-enweghị okwukwe ga-achọkwa
ka e gosi ha ihe ịrịbama. Ma ọ dịkwaghị ihe ịrịbama ọzọ a ga-egosi unu karịa ihe
ịrịbama Jona onye amụma. 40 N’ihi na dị ka Jona nọrọ ụbọchị atọ, ehihie na abalị
n’afọ azụ dị ukwuu, otu a ka Nwa nke Mmadụ ga-esi nọọkwa ụbọchị atọ, ehihie na
abalị n’obi nke ala. 41 Ndị ikom Ninive ga-eso ọgbọ a bilie n’ụbọchị ikpe maa ya ikpe.
N’ihi na ha chegharịrị mgbe ha nụrụ nkwusa Jona. Ma lee onye karịrị Jona ukwuu
nọ n’ebe a. 42 N’ụbọchị ikpe ahụ kwa, eze nwanyị nke Ndịda*ga-eso ọgbọ a bilie boo
ya ebubo. Ọ ga-amakwa unu ikpe. N’ihi na o siri n’ebe dị ụwa sọtụrụ bịa nụrụ okwu
amamihe Solomọn. Ma ugbu a onye ahụ dị ukwuu karịa Solomọn nọ n’ebe a, ma
unu jụrụ i kwere na ya.

*Nlọghachi nke mmụọ ọjọọ*

43 “Mgbe mmụọ na-adịghị ọcha si n’ime mmadụ pụọ, ọ na-agabiga n’ọzara ebe
mmiri na-adịghị ịchọ ebe izuike, ma ọ naghị achọta ya. 44 Mgbe ahụ, ọ na-asị, ‘Aga
m alaghachi n’ụlọ m, ebe m si pụta.’ Mgbe ọ lọghachiri, ọ na-achọpụta na a zachara
ụlọ ahụ dozie ya, ọ dịkwaghị onye bichiri n’ime ya. 45 Mgbe ahụ, ọ na-apụ gaa chọta
mmụọ asaa ọzọ, ndị dị njọ karịa ya onwe ya. Ha niile na-abata bịa biri n’ime onye
ahụ. Mee ka ọnọdụ ya dị njọ karịa ka ọ dị na mbụ. Otu a ka ọ ga-adịrị ndị bi n’ọgbọ
a jọrọ njọ.”

*Nne Jisọs na ụmụnne ya*

46 Mgbe ọ nọ na-agwa igwe mmadụ ahụ okwu, nne ya na ụmụnne ya bịara guzoro
n’ezi na-eche ka ha gwa ya okwu. 47 Otu onye n’ime igwe mmadụ ahụ gwara ya
okwu sị, “Lee, nne gị na ụmụnne gị ndị nwoke na-achọ ịhụ gị n’ezi. Ha chọrọ ịgwa
gị okwu.”
48 Ma ọ zara onye ahụ gwara ya okwu sị, “Onye bụ nne m? Olee ndị bụ ụmụnne m
ndị nwoke?” 49 Ọ tụrụ ndị na-eso ụzọ ya aka, sị, “Lee, ndị a bụ nne m na ụmụnne m
ndị nwoke. 50 N’ihi na onye ọbụla na-eme ihe Nna m bi n’eluigwe chọrọ, bụ nwanne
m nwoke, na nwanne m nwanyị, nakwa nne m.”

* **12:42** 12:42 Maọbụ, Sheba

# 13

*Ilu banyere ọgha mkpụrụ*

[1] N'otu ụbọchị ahụ, Jisọs hapụrụ ụlọ ahụ gaa n'ọnụ mmiri ebe ọ nọdụrụ ala. [2] Igwe
mmadụ dị ukwuu bịakwutere ya, nke mere ka ọ baa n'ime ụgbọ mmiri. N'ime ya
ka ọ nọ na-ezi ndị mmadụ nọ n'ọnụ mmiri ahụ na-ege ya ntị ihe. [3] O ji ilu gwa ha
ọtụtụ ihe. Ọ gwara ha sị, "O nwere otu onye ọrụ ubi gara ịkụ mkpụrụ n'ubi ya.
[4] Mgbe ọ na-agha mkpụrụ ndị a, ụfọdụ n'ime ha dara n'akụkụ ụzọ ebe ụmụ nnụnụ
bịara tụrịa ha loo. [5] Ma ụfọdụ n'ime ha dara n'ala dị nkume nkume. Ọ dịghị anya
ha puputara, too, n'ihi na aja dị n'ebe ahụ emighị emi. [6] Ma mgbe anwụ mụkwasịrị
ha, ha chanwụrụ, kpọnwụọ, n'ihi na mgbọrọgwụ ha emikpughị emikpu n'ime ala.
[7] Mkpụrụ ụfọdụ danyere n'etiti ogwu, ogwu ahụ topụtara kpagbuo ha. [8] Ma ụfọdụ
mkpụrụ dara n'ezi ala, mịakwa ọtụtụ mkpụrụ. Ụfọdụ mịrị mkpụrụ iri atọ, ụfọdụ iri
isii, ụfọdụ kwa otu narị. [9] Onye ọbụla nwere ntị ịnụ ihe, ya nụrụ."
[10] Emesịa, ndị na-eso ụzọ ya bịakwutere ya jụọ ya sị, "Gịnị mere i ji na-agwa ndị
a okwu n'ilu?"
[11] Ọ zaghachiri, "N'ihi na ọ bụ unu ka e nyere ịmata ihe omimi niile nke alaeze
eluigwe. Emeghị ka ndị ọzọ ghọta ya. [12] Onye ahụ nwere ihe ka a ga-enyekwa ọzọ,
ka o nwee karịa. Ma onye na-enweghị ihe ọbụla ka a ga-anapụ ọ bụladị ihe o nwere.
[13] Nke a bụ ihe mere m ji agwa ha okwu n'ilu:
"N'ihi na ha na-ele anya, ma ha adịghị ahụ ụzọ,
ha na-ege ntị, ma ha adịghị anụ ihe maọbụ aghọta ya.
[14] Nke a bụkwa imezu amụma ahụ Aịzaya buru sị,
" 'Unu ga na-anụ, nụkwa, ma unu agaghị aghọta ihe ọbụla.
Unu ga na-ele anya, hụkwa, ma unu agaghị ahụ ihe ọbụla.
[15] N'ihi na obi ndị nke a a maala abụba, dịkwa arọ,
ha adịghị ejikwa ntị ha anụ ihe,
ha mechikwara anya ha ka ha ghara ịhụ ụzọ.
Ma ọ bụghị otu a ha nwere ike iji anya ha hụ ụzọ,
jirikwa ntị ha nụ ihe,
sitekwa n'obi ha nwe nghọta
ma chigharịa bịakwute m, ka m gwọọ ha.'*
[16] Ma ngọzị na-adịrị anya unu, n'ihi na ha na-ahụ ụzọ, na ntị unu n'ihi na ha na-
anụkwa ihe. [17] N'ezie agwa m unu, ọtụtụ ndị amụma na ndị ezi omume ka ọ gụrụ
agụụ ịhụ ihe unu na-ahụ, ma ha ahụghị ya, na ịnụ ihe unu na-anụ, ma ha anụghị ya.

*Jisọs akọwaa ilu ọgha mkpụrụ*

[18] "Ugbu nụrụnụ nkọwa ilu ọgha mkpụrụ ahụ. [19] Mgbe onye ọbụla nụrụ oziọma
nke alaeze ahụ, ma ọ ghọtaghị ya, ajọ onye ahụ na-abịa napụ ya ihe ahụ akụrụ n'obi
ya. Nke a bụ mkpụrụ ahụ nke dara n'okporoụzọ. [20] Mkpụrụ nke dara n'ala nkume
nọchiri anya obi mmadụ onye nụrụ oziọma ahụ, jirikwa oke ọṅụ nabata ya. [21] Ma
ebe ha na-enweghị mgbọrọgwụ n'ime ha. Ha na-anọ nwa oge nta. Mgbe nsogbu
maọbụ mkpagbu bịara n'ihi okwu ahụ, ngwangwa ha na-adachapụ. [22] Mkpụrụ nke
dara n'ala ahụ ogwu ogwu dị nọchiri anya obi mmadụ onye nụrụ oziọma ahụ, ma
ọchịchọ nke ụwa a, ya na itinye obi n'akụ nke ụwa a, kpagidere okwu dị n'ime
ya, mee ka ọ ghara ịmị mkpụrụ. [23] Ma mkpụrụ dara n'ala ọma ahụ nọchiri anya
obi mmadụ onye gere ntị n'oziọma ahụ, ghọtakwa ya. Ọ na-amịta mkpụrụ dị narị,
maọbụ iri isii, maọbụ iri atọ karịa ihe akụnyere n'ime ya."

*Ilu mkpụrụ na-epu ahịhịa*

* **13:15** 13:15 Aịz 6:9,10

24 Ọ tụụrụ ha ilu ọzọ sị, “Alaeze eluigwe dị ka mmadụ ọbụla nke kụrụ ezi
mkpụrụ† n’ubi ya. 25 Ma n’otu abalị, mgbe onye ọbụla nọ n’ụra, onye iro gara n’ubi
ahụ kụọ mkpụrụ na-epu ahịhịa n’etiti ezi mkpụrụ ọka wiiti ahụ ọ kụrụ ma laa.
26 Mgbe mkpụrụ ọka wiiti ndị ahụ puputara, mepụta isi ọka, ahịhịa ahụ bidokwara
ito.
27 “Ndị ọrụ onye nwe ubi ahụ bịara sị ya, ‘Nna anyị ukwu, ọ bụghị ezi mkpụrụ ọka
ka ị kụrụ n’ubi gị? Ebeekwanụ ka ahịhịa ndị a si bịa?’
28 “Onye ọrụ ubi ahụ zara ha sị, ‘Ọ bụ onye iro m kụrụ ahịhịa ndị a.’
“Ndị ọrụ ya jụrụ ya sị, ‘Ị chọrọ ka anyị gaa fopụtasịa ha?’
29 “Ma onye ọrụ ubi ahụ sịrị ha, ‘Ọ dịghị, n’ihi na mgbe unu na-achọ ihopu ahịhịa
ndị ahụ, unu nwere ike site na-amaghị ama hopu ezi mkpụrụ ọka wiiti. 30 Hapụnụ
ọka ahụ ka ha na ahịhịa ndị ahụ na-etokọta, tutu ruo mgbe a ga-ewe ihe ubi. N’oge
ahụ aga m enye ndị owuwe ihe ubi iwu sị, burunu ụzọ chịkọtasịa ahịhịa ndị a niile,
kee ha n’ukwu n’ukwu, kpọọ ha ọkụ. Ma kpokọtanụ ọka wiiti ndị a tinye ha n’ọba
m.’ ”

*Ilu banyere mkpụrụ mọstaadị*

31 Ọ tụkwara ilu ọzọ sị ha, “Alaeze eluigwe dị ka mkpụrụ mọstaadị nke onye ọrụ
ubi kụrụ n’ubi ya. 32 Ọ bụ ezie na ọ bụ mkpụrụ dịkarịsịrị nta karịa mkpụrụ ubi niile,
ma mgbe mkpụrụ a toro, ọ na-adị ukwuu karịa ihe niile a kụrụ n’ubi. Ọ na-aghọ osisi
buru ibu, nke ụmụ nnụnụ na-ezukwa ike n’alaka ya.”

*Ilu banyere ihe na-eko achịcha*

33 Ọ tụrụ ha ilu ọzọ sị, “Alaeze eluigwe dị ka ihe na-eko achịcha,‡ nke nwanyị na-
ewere gwakọta n’ụtụ ọka e ji eme achịcha, tutu ruo mgbe ihe iko achịcha ahụ mere
ka ụtụ ọka ahụ niile koo.”
34 Oge niile ka Jisọs na-eji ilu na-agwa ndị mmadụ ndị a okwu. O nweghị oge ọbụla
ọ gwara ha okwu hapụ iji ilu. 35 O mere nke a ka okwu onye amụma kwuru mezuo,
sị,
“Aga m eji ilu kwuo okwu mgbe m na-agwa ha okwu.
Aga m agwakwa ha ihe mmadụ ọbụla na-amaghị site n’oge e kere ụwa.”§

*Nkọwa ilu mkpụrụ na-epu ahịhịa*

36 Emesịa, ọ hapụrụ igwe mmadụ ahụ baa n’ụlọ. Ndị na-eso ụzọ ya bịakwutere ya
sị ya, “Kọwaara anyị ihe ilu ahụ ị tụrụ pụtara, ilu banyere ahịhịa puru n’ubi a kụrụ
ọka.”
37 Jisọs zara ha sị, “Nwoke ahụ kụrụ mkpụrụ ahụ bụ Nwa nke Mmadụ. 38 Ubi ahụ a
ghanyere mkpụrụ ndị ahụ bụ ụwa. Mkpụrụ nke a kụrụ n’ubi ahụ nọchiri anya ụmụ
nke alaeze ahụ. Ahịhịa ahụ puru n’ubi ahụ nọchikwara anya ụmụ ajọ onye ahụ.
39 Onye iro ahụ gara kụọ mkpụrụ puru ahịhịa bụ ekwensu. Owuwe ihe ubi nọchiri
anya ọgwụgwụ oge. Ndị owuwe ihe ubi bụkwa ndị mmụọ ozi.
40 “Dị ka e siri fopụtasịa ahịhịa ahụ kpọọ ha ọkụ, otu a ka ọ ga-adị mgbe ụwa
ga-agwụ. 41 Nwa nke Mmadụ ga-ezipụ ndị mmụọ ozi ya ka ha gaa site n’alaeze ya
fopụtasịa ihe niile na-eme ka e mee mmehie, na ndị niile na-eme ajọ ihe. 42 Ha ga-
atụbakwa ha n’ime oke ọkụ ahụ, ebe ha ga-anọ na-akwa akwa, na-atakwa ikikere
eze. 43 Ma ndị niile bụ ndị ezi omume ga-enwu dị ka anyanwụ n’ime alaeze Nna ha.
Onye ọbụla nwere ntị ịnụ ihe, ya nụrụ.

*Ilu banyere akụ e zoro n’ala*

44 “Alaeze eluigwe dị ka akụ e zoro n’ubi, nke otu nwoke chọpụtara zookwa ya ọzọ.
Nwoke a jiri ọṅụ ree ihe niile o nwere, ma gaa zụta ubi ahụ.

† **13:24** 13:24 Ezi mkpụrụ bụ Oziọma ahụ. ‡ **13:33** 13:33 Maọbụ, yiist § **13:35** 13:35 Abụ 78:2

*Ilu banyere nkume dị oke ọnụahịa*

[45] "Ọzọ, alaeze eluigwe yiri nkume dị oke ọnụahịa nke onye na-azụ ahịa chọtara.
[46] Mgbe ọ hụrụ nkume a, o ree ihe niile o nwere, were ego ya gaa zụrụ nkume a dị
oke ọnụahịa.

*Ilu banyere ụgbụ e ji egbu azụ*

[47] "Ọzọkwa, alaeze eluigwe dị ka ụgbụ e ji egbu azụ, nke a wụnyere n'ime osimiri,
jiri ya jide azụ dị iche iche. [48] Mgbe ụgbụ a juru, ndị ọkụ azụ ahụ na-adọpụta ya.
Nọdụ ala họpụtasịa ndị dị mma tinye ha n'ime nkata, ma tufuo ndị na-adịghị mma.
[49] Otu a ka ọ ga-adị n'ọgwụgwụ oge. Ndị mmụọ ozi ga-abịa kewapụ ndị ọjọọ site
n'etiti ndị ezi omume, [50] ma tụbakwa ha n'ime oke ọkụ ahụ. Ebe ha ga-anọ na-akwa
akwa na-atakwa ikikere eze."

[51] Ọ jụrụ ha sị, "Unu ghọtara ihe ndị a m na-ekwu?"

Ha zara sị ya, "E."

[52] Ọ sịrị ha, "N'ihi nke a, onye nkuzi nke iwu ọbụla nke e mere ka ọ bụrụ onye
na-eso ụzọ alaeze eluigwe, dị ka onyenwe ụlọ nke na-esite n'ụlọakụ ya na-ewepụta
ihe ọhụrụ na ihe ochie."

*A dịghị asọpụrụ onye amụma*

[53] Mgbe Jisọs tụsịrị ilu ndị a, o si ebe ahụ pụọ. [54] O rutere n'obodo ya, malite izi ha
ihe n'ụlọ ekpere ha, nke a jukwara ha anya. Ha jụrịtara onwe ha ajụjụ na-asị, "Ebee
ka o si nweta amamihe a? Ebee ka o si nweta ike ịrụ ọrụ ebube ndị a niile? [55] Nwoke
a, ọ bụghị nwa onye kapinta? Ọ bụ na-adịghị akpọ nne ya Meri? Jemis, Josef, Saimọn
na Judas, ha abụghị ụmụnne ya ndị ikom? [56] Ụmụnne ya ndị inyom niile, ha anọghị
n'etiti anyị?* Olee ebekwa ka nwoke a si nweta ihe ndị a?" [57] Iwe were ha n'ebe ọ
nọ.

Ma Jisọs gwara ha okwu sị ha, "A na-asọpụrụ onye amụma n'ebe niile, ma a dịghị
asọpụrụ ya n'obodo a mụrụ ya, nakwa n'ezinaụlọ nke ya."

[58] Ya mere, ọ rụghị ọtụtụ ọrụ ebube n'ebe ahụ, n'ihi na ha enweghị okwukwe n'ime
ha.

# 14

*Ọnwụ Jọn omee baptizim*

[1] N'oge a Herọd eze na-achị Galili nụrụ ihe banyere Jisọs. [2] Ọ gwara ndị na-ejere
ya ozi okwu sị ha, "Onye a bụkwanụ Jọn omee baptizim. O sitela na ndị nwụrụ anwụ
bilie dịkwa ndụ ọzọ. Ọ bụ ya mere ike ịrụ ọrụ ebube ndị a ji dị n'ime ya."

[3] N'ihi na, Herọd jidere Jọn kee ya agbụ tinye ya n'ụlọ mkpọrọ, n'ihi Herodịas
nwunye Filip nwanne ya nwoke. [4] N'ihi na Jọn gwara ya, "Ọ bụghị ihe ziri ezi n'iwu
ka ị kpọrọ ya." [5] Herọd chọrọrị igbu ya, ma ọ tụrụ egwu ndị mmadụ, n'ihi na ha
weere Jọn dị ka onye amụma.

[6] Ma mgbe a na-eme mmemme icheta ọmụmụ Herọd, ada Herodịas tere egwu n'ihu
Herọd, na n'ihu ndị ọbịa bịara n'ụbọchị ahụ. Obi tọrọ Herọd ụtọ nke ukwuu. [7] Nke
a mere o ji ṅụọ iyi kwee nkwa inye ya ihe ọbụla ọ rịọrọ. [8] Ma dị ka nne ya si haziere
ya, ọ rịọrọ eze Herọd sị, "Nye m isi Jọn omee baptizim n'efere ugbu a." [9] Arịrịọ a
wutere eze Herọd, ma n'ihi iyi ọ ṅụrụ na n'ihi ndị ọbịa ya niile, ọ chọghị ịla azụ
n'okwu ya. O nyere iwu ka e meere ya ihe ọ chọrọ. [10] O ziri ozi ka e bipụ isi Jọn
n'ụlọ mkpọrọ. [11] E tinyere isi ya n'efere bunye nwaagbọghọ ahụ. Ọ naara ya bulaara
nne ya. [12] Ndị na-eso ụzọ ya bịara buru ozu ya gaa lie. Ha gara kọọrọ Jisọs ihe mere.

*Jisọs enye puku mmadụ ise nri*

---

* **13:56** 13:56 Ọ bụ na anyị amakwaghị ụmụnne ya ndị inyom, ndị anyị na ha bi n'ebe a.

13 Mgbe Jisọs nụrụ akụkọ a, ọ banyere n’ụgbọ mmiri gaa n’ọzara, ebe ọ ga-anọdụrụ
onwe ya. Ma mgbe igwe mmadụ nụrụ ya, ha si obodo dị iche iche sooro ya n’ukwu
ala. 14 Mgbe o sitere n’ụgbọ mmiri ahụ rịdata, ọ hụrụ oke igwe mmadụ. O nwere
ọmịiko n’ebe ha nọ, gwọọ ndị ọrịa n’etiti ha.
15 N’oge anyasị ụbọchị ahụ, ndị na-eso ụzọ ya bịakwutere ya sị ya, “Chi na-achọ
iji. Ebe a abụkwaghị ebe ndị mmadụ bi. O nweghị nri a ga-azụta n’ọzara a. Zilaga
igwe mmadụ ndị a ka ha gaa n’ime obodo zụọra onwe ha nri.”
16 Ma Jisọs gwara ha sị, “Ọ dịghị mkpa na ha ga-ala. Nyenụ ha nri ka ha rie.”
17 Ha zara ya sị, “Ọ bụ naanị ogbe achịcha ise na azụ abụọ ka anyị nwere.”
18 Ọ sịrị ha, “Wetaranụ m ha n’ebe a.” 19 Ọ gwara igwe mmadụ ahụ ka ha nọdụ ala
n’ahịhịa. O weere ogbe achịcha ise na azụ abụọ ahụ welie anya ya elu nye Chineke
ekele. Ọ nyawara achịcha ahụ, nye ha ndị na-eso ụzọ ya, ndị na-eso ụzọ ya nyere
ha igwe mmadụ ahụ. 20 Onye ọbụla riri rijuo afọ. Emesịa, ndị na-eso ụzọ Jisọs
tụtụkọtara iberibe achịcha dara n’ala tụtụjuo ha nkata iri na abụọ. 21 Ma ndị riri
nri ahụ dị puku ụmụ nwoke ise, n’agụnyeghị ụmụ nwanyị, na ụmụntakịrị.

### *Jisọs agaa ije n’elu mmiri*

22 Mgbe nke a gasịrị, ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya ka ha banye n’ụgbọ malite ịgafe ofe
ọzọ nke osimiri ahụ. Ma ya onwe ya nọdụrụ maka izilaga ndị mmadụ ahụ. 23 Mgbe
ọ zilagasịrị igwe mmadụ ahụ, ọ rigooro n’elu ugwu ikpe ekpere, naanị ya. Mgbe
oge anyasị ruru, naanị ya nọkwa na-ebe ahụ. 24 Ma n’oge a ụgbọ mmiri ahụ esitela
n’ebe ala dị nso gamie n’elu osimiri, ebili mmiri na-ebugharịkwa ya, n’ihi na ifufe
ahụ na-emegide ya.
25 Ma ihe dị ka site n’elekere atọ ruo elekere isii nke ụtụtụ, Jisọs bịakwutere ha,
na-aga ije n’elu osimiri. 26 Mgbe ndị na-eso ụzọ ya hụrụ ya ka ọ na-aga ije n’elu
osimiri ahụ, obi lọrọ ha mmiri, ha sị, “Ọ bụkwanụ mmụọ o!” Ha tiri mkpu n’ihi
egwu.
27 Ma ngwangwa Jisọs sịrị ha, “Nweenụ obi ike! O bụ m; unu atụla egwu.”
28 Pita zara ya, “Onyenwe anyị, ọ bụrụ na ọ bụ gị, sị m bịakwute gị n’elu mmiri.”
29 Ọ sịrị ya, “Bịa!”
Pita sitere n’ụgbọ ahụ pụta, bido ịga ije n’elu mmiri ijekwuru Jisọs. 30 Ma mgbe
ọ hụrụ oke ebili mmiri ahụ ka ọ na-amagharị; egwu tụrụ ya. Ma mgbe ọ malitere
imikpu n’ime mmiri ahụ, o tiri mkpu sị, “Onyenwe m! Zọpụta m!”
31 Na-atụfughị oge, Jisọs setịpụrụ aka ya dọpụta Pita. Ọ sịrị ya, “Gị onye okwukwe
nta, n’ihi gịnị ka i ji nwee obi abụọ!”
32 Ma mgbe ha rịbanyere n’ime ụgbọ ahụ ifufe ahụ kwụsịkwara. 33 Ndị ahụ nọ
n’ụgbọ ahụ kpọrọ isiala nye ya sị, “N’ezie, ị bụ Ọkpara Chineke.”

### *Ọgwụgwọ ndị ọrịa na Genesaret*

34 Mgbe ha gafere n’ofe nke ọzọ, ha bịarutere n’ala Genesaret. 35 Mgbe ndị obodo
ahụ matara na ọ bụ ya, ha zisara ozi gburugburu obodo niile ahụ, ma dutere ya ndị
niile ahụ na-adịghị ike. 36 Ha rịọrọ ya ka o kwenye ka ha metụ ọ bụladị ọnụ uwe ya
aka. Ndị niile metụrụ ya aka ka a gwọrọ.

## 15

### *Omenaala ndị Farisii*

1 Mgbe ahụ, ụfọdụ ndị Farisii na ndị ozizi iwu si Jerusalem bịakwute Jisọs jụrụ ya
ajụjụ sị, 2 “Gịnị mere ndị na-eso ụzọ gị adịghị erube isi n’omenaala ndị okenye? Ha
anaghị akwọ aka ha tupu ha erie nri.”

3 Ọ zara ha sị, “Gịnị mere unu ji na-ada iwu Chineke n’ihi omenaala unu? 4 N’ihi
na Chineke sịrị, ‘Sọpụrụ nne gị na nna gị,’*na, ‘onye ọbụla kwujọrọ nna maọbụ nne
ya ka e gbuo ya.†’‡ 5 Ma unu na-asị, ọ bụrụ na onye ọbụla ga-asị nna maọbụ nne ya,
ihe ọbụla bụ nke ị gara erite n’aka m bụ ‘onyinye dịrị Chineke.’ 6 N’ihi ya, ha agaghị
eji ya asọpụrụ nna ha maọbụ nne ha. N’ụzọ dị otu a, unu na-eme ka okwu Chineke
bụrụ ihe efu n’ihi omenaala unu. 7 Ndị ihu abụọ! Amụma ahụ Aịzaya buru banyere
unu bụ eziokwu. Mgbe o kwuru sị,
8 “ ‘Ndị a ji egbugbere ọnụ ha na-asọpụrụ m,
ma obi ha dị anya n’ebe m nọ.
9 Ofufe ha na-efe m bụ ihe efu,§
ozizi ha bụkwa ihe mmadụ nyere n’iwu.’* ”

*Ịdị ọcha dị mkpa*

10 Mgbe ahụ, ọ kpọrọ igwe mmadụ ahụ, sị ha, “Geenụ ntị, ghọtakwanụ. 11 Ọ bụghị
ihe banyere mmadụ n’ọnụ na-emerụ ya, kama ọ bụ ihe sị n’ọnụ onye ahụ pụta na-
emerụ ya.”
12 Ndị na-eso ụzọ ya bịakwutere ya sị, “Ị makwa na obi adịghị ndị Farisii mma
n’ihi okwu ahụ i kwuru?”
13 Ma ọ zara sị ha, “Osisi ọbụla Nna m nke eluigwe na-ejighị aka ya kụọ ka a ga-
ehopu. 14 Ya mere, unu echegbula onwe unu, n’ihi na ha bụ ndị ndu kpuru ìsì. Ma ọ
bụrụ na onye ìsì eduo onye ìsì ibe ya ha abụọ adaba n’ime olulu.”
15 Pita sịrị ya, “Kọwaara anyị ihe ilu a pụtara.”
16 Ọ jụrụ ha sị, “Unu ọ ka dị ka ndị na-enweghị nghọta? 17 Ọ bụ na unu aghọtaghị
na ihe ọbụla nke na-aba n’ọnụ na-aga n’ime afọ, sịkwa n’ebe ahụ a nyụpụ ya n’ụlọ
nsị? 18 Ma ihe si mmadụ n’ọnụ pụta na-esi ya n’obi apụta. Ọ bụ ihe dị otu a na-
emerụ mmadụ. 19 N’ihi na ọ bụ n’ime obi mmadụ ka echiche ime ihe ọjọọ ndị a si
apụta: igbu mmadụ, ịkwa iko niile, ịkwa iko nke ndị ikom nwere nwunye na ndị
inyom nwere di, na izu ohi, na ama ụgha, na nkwulu. 20 Ihe ndị a bụ ihe na-emerụ
mmadụ, ọ bụghị ma mmadụ kwọrọ aka tupu o rie nri, maọbụ na ọ kwọghị.”

*Okwukwe nwanyị Kena*

21 Jisọs hapụrụ obodo ahụ gaa n’akụkụ obodo Taịa na Saịdọn. 22 N’ebe ahụ, otu
nwanyị onye Kenan bi n’obodo ahụ bịakwutere ya rịọ ya sị, “Onyenwe m, nwa
Devid, biko meere m ebere. Ada m nwanyị nwere ajọ mmụọ n’ime ya nke na-esogbu
ya oge niile.”
23 Ma ọ gbara ya nkịtị. Emesịa ndị na-eso ụzọ ya bịakwutere ya rịọ ya sị ya, “Chụlaa
nwanyị a! Lee ka o si eti mkpu na-esogharị anyị!”
24 Ọ zara sị, “Ezitere m naanị ijekwuru atụrụ furu efu nke ụlọ Izrel.”
25 Ma ọ bịara daa n’ụkwụ ya rịọọ ya sị, “Onyenwe m, nyere m aka!”
26 Ọ zara sị, “O zighị ezi na a ga-ewere nri ụmụntakịrị tụpụrụ nkịta.”
27 Ọ zara sị, “Ọ bụ eziokwu Onyenwe m. Ma a na-ekwekwa ka ụmụ nkịta nọ
n’okpuru tebul rie iberibe nri nke na-esi n’elu tebul ha daa n’ala.”
28 Jisọs zara sị ya, “Nwanyị, okwukwe gị dị ukwuu! Laa, e meelara gị ihe ị na-arịọ.”
N’otu oge ahụ a gwọrọ ada ya.

*Jisọs agwọọ ọtụtụ ndị ọrịa*

29 Jisọs hapụrụ ebe ahụ lọghachi n’akụkụ osimiri Galili. Ọ rịgooro n’elu ugwu
nọdụ ala. 30 Igwe mmadụ dị ukwuu bịakwutere ya. Ha duteere ya ndị ngwụrọ, na
ndị ìsì, na ndị aka ha na ndị ụkwụ ha kpọnwụrụ akpọnwụ, na ndị ogbi, na ọtụtụ ndị

* **15:4** 15:4 Ọpụ 20:12; Dit 5:16 † **15:4** 15:4 Onye ahụ aghaghị ịnwụ ‡ **15:4** 15:4 Ọpụ 21:17; Lev 20:9 § **15:9** 15:9 Ịkpọ isiala ha bụ ihe efu. * **15:9** 15:9 Aịz 29:13

ọzọ. Ha tọgbọrọ ha n'ụkwụ ya, ọ gwọkwara ha niile. 31 Ọ tụrụ mmadụ niile n'anya
mgbe ha hụrụ ndị ogbi ka ha bidoro ikwu okwu. Mgbe ha hụkwara na a gwọrọ ndị
aka ha, na ndị ụkwụ ha nwụrụ anwụ, o jukwara ha anya ịhụ na ndị ngwụrọ gara ije,
na ndị ìsì hụkwara ụzọ. Ha toro Chineke nke Izrel.

### *Jisọs enye puku mmadụ anọ nri*

32 Jisọs kpọrọ ndị na-eso ụzọ ya sị ha, "Ana m emere igwe mmadụ ndị a obi ebere,
n'ihi na mụ na ha anọọla ụbọchị atọ n'ebe a, ma ha eribeghị nri ọbụla. Agaghị m
ezilaga ha na-erighị nri, n'ihi na ha nwere ike ịda n'ụzọ."
33 Ndị na-eso ụzọ ya sịrị, "Ebee ka anyị ga-enweta nri ga-ezuru igwe mmadụ ndị a
n'ọzara a?"
34 Jisọs jụrụ ha sị, "Ogbe achịcha ole ka unu nwere?"
Ha sịrị ya, "Ogbe achịcha asaa na azụ ole na ole."
35 Ọ gwara igwe mmadụ ahụ ka ha nọdụ ala. 36 O weere ogbe achịcha asaa na azụ
ole na ole ahụ kelee Chineke ekele. Ọ nyawasịrị ha, nye ndị na-eso ụzọ ya. Ndị na-eso
ụzọ ya nyekwara igwe mmadụ ahụ. 37 Onye ọbụla n'ime ha riri, rijuo afọ. Ndị na-eso
ụzọ ya tụtụkọtara iberibe ndị fọdụrụ nke juru nkata asaa. 38 Ndị riri nri ahụ dị puku
ụmụ nwoke anọ, n'agụnyeghị ndị nwanyị na ụmụntakịrị. 39 Mgbe o zilagara igwe
mmadụ ahụ, ọ banyere n'ụgbọ mmiri gafee osimiri, bịaruo n'obodo Magadan.

## 16

### *Arịrịọ ka e gosi ihe ịrịbama*

1 Ndị Farisii na ndị Sadusii bịakwutere Jisọs ịnwa ya ọnwụnwa. Ha gwara ya sị,
"Gosi anyị ihe ịrịbama si n'eluigwe."
2 Ọ zara ha, "Mgbe o ruru anyasị unu na-asị, 'Ihu eluigwe ga-adị mma n'ihi na ọ
na-acha uhie uhie.' 3 N'ụtụtụ unu na-asị, 'Anyị ga-enwe mmiri ozuzo taa n'ihi na
ihu eluigwe na-acha uhie uhie ma na-eji oji.' Lee na unu pụrụ ịkọwa ihu eluigwe,
ma unu apụghị isite n'ihe ịrịbama ndị a unu na-ahụ anya kọwaa ihe oge a anyị nọ
n'ime ya pụtara. 4 Ajọ ọgbọ nke jupụtara n'ịkwa iko, nke na-arịọkwa ihe ịrịbama.
Ọ nweghị ihe ịrịbama ọzọ a ga-egosi ya karịa ihe ịrịbama Jona." Mgbe ahụ ọ sitere
n'ebe ahụ ha nọ pụọ.

### *Ihe na-eko achịcha ndị Farisii*

5 Mgbe ha gafesịrị n'ofe ọzọ, ndị na-eso ụzọ ya chetara na ha ejighị achịcha ọbụla.
6 N'oge ahụ kwa, Jisọs dụrụ ha ọdụ sị ha, "Lezienụ anya, ma na-ezekwa ihe ndị na-eko
achịcha ndị Farisii na ndị Sadusii."
7 Ha malitere na-ekwurịta n'etiti onwe ha, na-asị, ọ bụ n'ihi na anyị ewetaghị ogbe
achịcha ọbụla.
8 Ebe ọ bụ na Jisọs matara ihe ha na-eche, ọ sịrị, "Unu ndị okwukwe nta! Gịnị
mere unu ji na-esogbu onwe unu n'ihi na unu enweghị achịcha? 9 Olee mgbe unu
ga-amata ihe? Ọ bụ na unu echetaghị puku mmadụ ise ahụ m jiri ogbe achịcha ise
mee ka ha rijuo afọ? Ọ bụ nkata ole ka unu tụtụjuru? 10 Unu echetakwaghị na m
ji ogbe achịcha asaa zụọ puku mmadụ anọ? Iberibe achịcha juru nkata ole ka unu
tụtụkọtara? 11 Gịnị mere unu aghọtaghị na ọ bụghị ihe banyere achịcha ka m na-
ekwu? Cheenụ onwe unu nche n'ebe ihe na-eko achịcha ndị Farisii na ndị Sadusii
nọ." 12 Mgbe ahụ ka ha ghọtara na ihe ọ na-akọwara ha abụghị ihe banyere ihe na-
eko achịcha nke a na-ata ata, kama ọ bụ ihe banyere ozizi ndị Farisii na ndị Sadusii.

### *Ọgbụgba ama Pita*

13 Mgbe Jisọs bịaruru obodo a na-akpọ Sizaria Filipai, ọ jụrụ ndị na-eso ụzọ ya ajụjụ
sị ha, "Onye ka ndị mmadụ na-asị na Nwa nke Mmadụ bụ?"

14 Ha zara ya sị, "Ụfọdụ na-asị na ị bụ Jọn omee baptizim, ụfọdụ na-asị na ị bụ
Ịlaịja, ndị ọzọ na-asịkwa na ị bụ Jeremaya, maọbụ otu n'ime ndị amụma."
15 Ọ jụrụ ha sị, "Ma unu onwe unu, ọ bụ onye ka unu na-asị na m bụ?"
16 Saimọn Pita zara sị ya, "Ị bụ Kraịst* ahụ, Ọkpara Chineke dị ndụ."
17 Jisọs gwara ya sị, "Saimọn Pita nwa Jona, ị bụ onye a gọziri agọzi, n'ihi na anụ
ahụ na ọbara ekpugheghị ya nye gị. Kama, ọ bụ Nna m bi n'eluigwe mere ka ị mata
ya. 18 Ma mụ onwe m na-agwa gị, na gị onwe gị bụ Pita.†Ọ bụkwa n'elu nkume a ka
m ga-ewu ụlọ chọọchị m. Ike niile nke ọkụ ala mmụọ apụghịkwa iguzo megide ya.
19 Aga m enye gị mkpisi igodo alaeze eluigwe. Ihe ọbụla ị ga-eke agbụ n'elu ụwa, ka
a ga-ekekwa agbụ n'eluigwe. Ihe ọbụla ị ga-atọpụ n'agbụ n'ụwa, a ga-atọpụkwa ya
n'eluigwe." 20 Mgbe ahụ, o nyere ndị na-eso ụzọ ya iwu ka ha ghara ime ka onye
ọbụla mata na ya bụ Kraịst ahụ.

### *Jisọs ekwuo okwu ọnwụ ya*

21 Site n'oge ahụ Jisọs malitere ịkọwara ndị na-eso ụzọ ya, na ya aghaghị ịga
Jerusalem, ebe ọ ga-ahụ ọtụtụ ahụhụ dị iche iche site n'aka ndị okenye, na ndịisi
nchụaja, na ndị ozizi iwu. O mere ka ha mata na aghaghị igbu ya, ma n'ụbọchị nke
atọ, a ga-eme ka o site n'ọnwụ bilie.
22 Pita duuru ya pụọ n'otu akụkụ, nọdụ n'ebe ahụ baara ya mba sị ya, "Onyenwe
m, Chineke ekwela. Ihe ndị a agaghị adakwasị gị!"
23 Ma o chighariri sị Pita, "Si n'ebe m nọ pụọ, ekwensu! Ị bụ ihe mgbochi nye m.
N'ihi na ihe ị na-eche echiche ya bụ naanị echiche mmadụ, ọ bụghị uche Chineke."
24 Mgbe ahụ Jisọs gwara ndị na-eso ụzọ ya sị, "Ọ bụrụ na onye ọbụla achọọ ịbụ
onye na-eso ụzọ m, ya buru ụzọ jụ onwe ya, buru obe ya, soro m n'azụ. 25 N'ihi na
onye ọbụla na-eche ndụ ya nche ka ọ hapụ ifunarị ya ga-atụfu ya. Ma onye ọbụla
tufuru ndụ ya n'ihi m, ga-achọtakwa ya. 26 N'ihi na uru gịnị ka mmadụ nwetara
ma ọ bụrụ na o ritechaa ụwa niile n'uru ma tufuo ndụ ya? Maọbụ gịnị bụ ihe ahụ
dị n'ụwa nke mmadụ ga-eji gbanwee ndụ ya? 27 N'ihi na Nwa nke Mmadụ ga-abịa
n'ebube nke Nna ya, ya na ndị mmụọ ozi ya. Mgbe ahụ ka ọ ga-ekpe onye ọbụla ikpe
dị ka ọrụ ya si dị.
28 "N'ezie asị m unu, ụfọdụ n'ime ndị guzo n'ebe, agaghị edetụ ọnwụ ire, tụpụ ha
ahụ Nwa nke Mmadụ ka ọ na-abịa n'alaeze ya."

## 17

### *Nnwogha Jisọs nwoghara*

1 Mgbe ụbọchị isii gasịrị, Jisọs kpọọrọ Pita, na Jemis na Jọn nwanne ya, rigoro
n'ugwu dị elu ebe naanị ha nọdụrụ. 2 N'ebe ahụ a gbanwere ọdịdị ya n'ihu ha, ihu
ya na-enwupụ dị ka anyanwụ, uwe ya chapụkwara dị ka ìhè. 3 N'otu ntabi anya ahụ,
ha hụrụ Mosis na Ịlaịja ka ha na ya na-ekwurịta okwu.
4 Mgbe ahụ Pita sịrị Jisọs, "Onyenwe anyị. Ọ dị mma ka anyị niile nọdụ n'ebe a. Ọ
bụrụ na ị ga-enye m ike, aga m ewu ụlọ ikwu atọ n'ebe a. Otu n'ime ụlọ ndị a ga-abụ
nke gị, otu nke Mosis, nke ọzọ nke Ịlaịja."
5 Mgbe ọ ka kpụ okwu n'ọnụ, igwe ojii nke na-enwu enwu kpuchiri ha, olu sitere
n'igwe ojii ahụ daa sị, "Onye a bụ Ọkpara m, onye m hụrụ n'anya, onye ihe ya dị m
ezi mma. Geenụ ya ntị."
6 Mgbe ndị na-eso ụzọ ya nụrụ olu a, ha dara n'ala n'ihi egwu. 7 Ma Jisọs jekwuuru
ha metụ ha aka sị ha, "Bilienụ, unu atụla egwu." 8 Mgbe ha lelitere anya ha, o
nwekwaghị onye ọzọ ha hụrụ ma ọ bụghị naanị Jisọs.

* **16:16** 16:16 Maọbụ, Onye nzọpụta † **16:18** 16:18 N'asụsụ ndị Griik Pita pụtara Nkume.

9 Ma mgbe ha si n’elu ugwu ahụ na-arịdata, Jisọs nyere ha iwu, sị, “Unu agwala onye ọbụla ihe unu hụrụ tutu ruo mgbe Nwa nke Mmadụ ga-esi n’ọnwụ bilie.”
10 Ndị na-eso ụzọ ya jụrụ ya sị, “Gịnị mere ndị ozizi iwu ji na-ekwu na Ịlaija aghaghị ibu ụzọ bịa?”
11 Ọ zara sị, “Ọ bụ ezie, Ịlaija na-abịa, ọ ga-emekwa ka ihe niile dị ka ọ dị na mbụ.
12 Ma Ịlaija abịalarị, ma ndị mmadụ amataghị ya. Kama ndị mmadụ emeela ya ihe ọjọọ dị iche iche. Otu a kwa ka mụ onwe m bụ Nwa nke Mmadụ ga-esi ahụ ahụhụ site n’aka ha.” 13 Mgbe ahụ ndị na-eso ụzọ ya ghọtara na ọ bụ Jọn omee baptizim ka ọ na-ekwu banyere ya.

### *Ọ gwọrọ nwa akwụkwụ*

14 Mgbe ha bịarutere n’ebe igwe mmadụ ahụ nọ, otu nwoke bịakwutere ya gbuo ikpere n’ihu ya, 15 rịọọ ya sị, “Onyenwe m, biko, meere nwa m nwoke ebere, n’ihi na akwụkwụ na-adọ ya. Ọ na-ata oke ahụhụ, ọtụtụ mgbe ọ na-adaba n’ime ọkụ maọbụ n’ime mmiri. 16 Ma ekuteere m ya ndị na-eso ụzọ gị ka ha gwọọ ya, ma ha enweghị ike ime ka ahụ dị ya mma.”
17 Jisọs zara sị, “Unu ọgbọ a na-enweghị okwukwe, ndị na-adịghị erubekwa isi. Ruo ole mgbe ka mụ na unu ga-anọ? Ruo ole mgbe ka m ga-anọ na-anagide ekweghị ekwe unu? Kpọtaranụ m nwata ahụ n’ebe a.” 18 Jisọs baara mmụọ ọjọọ ahụ mba, mee ka o si n’ime nwata ahụ pụta. Otu mgbe ahụ, mmụọ ọjọọ ahụ pụtara, nwata ahụ bụ onye agwọkwara n’otu oge ahụ.
19 Mgbe e mesịrị, ndị na-eso ụzọ Jisọs bịakwutere ya na nzuzo jụọ ya sị, “Gịnị mere o ji siere anyị ike ịchụpụ mmụọ ọjọọ ahụ?”
20 Ọ sịrị ha, “Ọ bụ n’ihi na okwukwe unu nwere esighị ike. N’ezie, agwa m unu, ọ bụrụ na unu e nwee okwukwe nke dị nta ka mkpụrụ mọstaadị, unu nwere ike ị sị ugwu a, ‘Site n’ebe a wezuga onwe gị,’ ọ ga-apụtakwa. Ọ dịghị ihe unu na-agaghị enwe ike ime. 21 Ma mmụọ ọjọọ dị otu a agaghị apụ, ma ọ bụghị naanị site n’ikpe ekpere na ibu ọnụ.”*

### *Jisọs ekwuo okwu ọnwụ ya ọzọ*

22 Mgbe ha gbakọrọ na Galili, Jisọs gwara ha sị, “A ga-arara Nwa nke Mmadụ nye n’aka ndị mmadụ. 23 Ha ga-egbukwa ya, ma n’ụbọchị nke atọ a ga-eme ka o si n’ọnwụ bilie.” Nke a wutere ha nke ukwuu.

### *Ịtụ ụtụ ụlọnsọ ukwu*

24 Mgbe ha bịaruru na Kapanọm, ndị na-ana ụtụ n’ihi ụlọnsọ† bịakwutere Pita jụọ ya sị, “Onye ozizi unu ọ dịghị atụ ụtụ ụlọnsọ?”
25 Pita zara ha sị, “E, ọ na-atụ ụtụ.”
Mgbe ọ batara n’ụlọ, Jisọs buru ụzọ jụọ ya sị, “Gịnị ka i chere banyere nke a Saimọn? Ọ bụ n’aka ndị ole ka ndị eze ụwa si anakọta ụtụ taks? Ọ bụ n’aka ụmụ ha, ka ọ bụ n’aka ndị ọbịa?”
26 Ma mgbe Pita zara ya sị, “Ọ bụ site n’aka ndị ọbịa.”
Jisọs sịrị ya, “Ọ dị mma. Iwu ejighị ndị bụ ụmụ. 27 Ma otu ọ dị, achọghị m ka anyị mee ka iwe wee ha. Gaa n’osimiri ahụ tụnye nko azụ gị n’ime ya. Meghe ọnụ azụ mbụ ị ga-egbute. Ị ga-ahụ otu mkpụrụ ego n’ime ọnụ ya. Were ya nye ha, ka ọ bụrụ ụtụ nke mụ na gị.”

## 18

### *Onye dịkarịrị ukwuu*

---

* **17:21** 17:21 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye okwu ndị a dịka ọ dị n’akwụkwọ Mak 9:29. † **17:24** 17:24 Didrakma abụọ bụ ọnụ ego ụtụ ụlọnsọ.

1 N’oge ahụ kwa, ndị na-eso ụzọ Jisọs bịakwutere ya jụọ ajụjụ sị, “Olee onye dị
ukwuu karịa ibe ya n’alaeze eluigwe?”
2 Ọ kpọrọ otu nwantakịrị, onye o mere ka o guzoro n’etiti ha, 3 ọ sịrị, “N’ezie, agwa
m unu, ọ bụrụ na unu agbanweghị ma dịrị ka ụmụntakịrị, unu agaghị aba n’alaeze
eluigwe. 4 Onye ọbụla wedara onwe ya ala dị ka nwantakịrị a bụ onye dịkarịsịrị
ukwuu n’alaeze eluigwe. 5 Onye ọbụla nabatara nwantakịrị dị otu a n’ihi m, bụ onye
nabatara m.

### *Ihe na-eweta ịda mba*

6 “Ma ọ bụrụ na onye ọbụla n’ime unu emee ka otu n’ime ndị a dị nta, bụ ndị
tụkwasịrị m obi, jehie n’okwukwe ya, ọ kaara onye ahụ mma na e kedoro ya nkume
igwe nri n’olu, tụnye ya n’oke osimiri ka mmiri rie ya. 7 Ahụhụ ga-adịrị ụwa n’ihi ihe
ndị na-eme ka mmadụ jehie. Ihe ndị na-eme ka mmadụ daba n’ọnwụnwa aghaghị
ịbịa, ma ahụhụ ga-adịrị onye ahụ nke ọ ga-esite n’aka ya bịa. 8 N’ihi nke a, ọ bụrụ
na aka gị maọbụ ụkwụ gị na-eme ka i jehie, gbupụ ya tufukwaa ya. Ọ kaara gị mma
inwe ọrụsị maọbụ daa ngwụrọ baa na ndụ, karịa na ị ga-enwe aka abụọ maọbụ ụkwụ
abụọ, a tụnye gị n’ọkụ ebighị ebi. 9 Ọzọ, ọ bụrụ na anya gị na-eme ka i jehie, ghụpụ
ya tufuo. Ọ ga-akara gị mma na i nwere otu anya baa na ndụ, karịa inwe anya abụọ,
a tụnye gị n’ọkụ ala mmụọ.

### *Atụrụ furu efu*

10 “Lezienụ anya ka unu ghara ileda otu n’ime ụmụntakịrị ndị a anya. N’ihi na
n’eluigwe, ndị mmụọ ozi ha na-anọ n’ihu Nna m mgbe niile. 11 N’ihi na Nwa nke
mmadụ bịara ịzọpụta ndị furu efu.*
12 “Gịnị ka unu chere? Ọ bụrụ na ọ dị onye nwere narị atụrụ, ma otu n’ime ha
akpafuo, gịnị ka ọ ga-eme? Ọ gaghị ahapụ iri atụrụ itoolu na itoolu fọdụrụ pụọ
jegharịa n’ugwu na ndịda niile, ịchọ atụrụ ahụ kpafuru akpafu? 13 Ọ bụrụkwa na ọ
chọta ya, gịnị ka ọ ga-eme? N’ezie, agwa m unu, ọ ga-aṅụrị oke ọnụ n’ihi otu atụrụ
a karịa iri atụrụ itoolu na itoolu ndị ọzọ ahụ na-agahieghị ụzọ. 14 Ya mere, ọ bụghị
nzube Nna m nke bi n’eluigwe ka otu n’ime ụmụnta ndị a ala n’iyi.

### *Mmehie nke nwanne*

15 “Ọ bụrụ na nwanna gị emehie megide gị, jekwuru ya ebe naanị gị na ya nọ, tụọ
ya mmehie n’anya. Ọ bụrụ na o gee gị ntị, i ritela nwanna gị n’uru. 16 Ma ọ bụrụ na
o geghị gị ntị, kpọrọ otu onye maọbụ mmadụ abụọ ọzọ laghachi azụ n’ebe ọ nọ, ‘ka
okwu ọbụla ekwuru bụrụ nke mmadụ abụọ maọbụ atọ ga-agba akaebe banyere ya.’†
17 Ọ bụrụ na o geghị ha ntị, gwa ndị chọọchị, ma ọ bụrụ na o geghịkwa ọ bụladị ndị
chọọchị ntị, were ya dị ka onye mba ọzọ maọbụ onye ọna ụtụ.
18 “N’ezie, asị m unu, na ihe ọbụla unu kere agbụ n’ụwa a, e keela ya rịị agbụ
n’eluigwe. Ihe ọbụla kwa unu tọpụrụ n’ụwa, a tọpụkwala ya rịị n’eluigwe.
19 “Ọzọ, ana m agwa unu n’ezie a sị, ọ bụrụ na mmadụ abụọ n’etiti unu ekwekọrịta
n’ụwa banyere ihe ọbụla unu na-arịọ n’ekpere Nna m bi n’eluigwe ga-emezuru unu
ihe ahụ. 20 N’ihi na ebe ọbụla mmadụ abụọ maọbụ atọ zukọtara n’aha m, mụ onwe
m nọ n’etiti ha.”

### *Mkpa ọ dị inwe obi mgbaghara*

21 Mgbe ahụ Pita bịakwutere ya jụọ ya ajụjụ sị, “Onyenwe anyị, ọ bụ ugboro ole
ka m ga-agbaghara nwanne m nke mehiere megide m? Ọ bụ ugboro asaa?”
22 Jisọs zara sị ya, “Ọ bụghị ugboro asaa. Kama ị ga-agbaghara ya ruo iri ugboro
asaa ụzọ asaa.‡

* **18:11** 18:11 Ụfọdụ akwụkwọ mgbe ochie na-edebanye okwu ndị a dịka ọ dị n’akwụkwọ Luk 19:10. † **18:16** 18:16 Dit 19:15. ‡ **18:22** 18:22 Ọnụọgụgụ nke a bụ narị anọ na iri itoolu.

[23] “A ga-eji alaeze eluigwe tụnyere eze ahụ kpebiri ka ya na ndị ọrụ ya gụzie ego
ya ha ji. [24] Mgbe ha malitere na-apịazi, a kpọtaara eze ahụ otu onye nke ji ya ụgwọ
ruru puku talenti iri.§ [25] Nwoke ahụ enweghị ihe ọ ga-eji kwụọ ụgwọ o ji. Nna ya
ukwu nyere iwu ka e refuo ya na nwunye ya na ụmụ ya, na ihe niile o nwere, ka
akwụghachi ụgwọ o ji.
[26] “Ma ohu ahụ dara n’ala, gbukwaa ikpere ya n’ala, rịọ ya arịrịọ sị, ‘Onyenwe
m, biko, nwee ntachiobi n’ebe m nọ. Aga m akwụghachikwa gị ụgwọ niile m ji
gị.’ [27] Nna ukwu onye ọrụ ahụ nwere ọmịiko n’ebe ọ nọ, meere ya ebere. Ọ sịrị ya
akwụghachila ụgwọ o ji ọzọ.
[28] “Ma mgbe ohu ahụ sitere n’ebe ahụ pụọ, ọ hụrụ otu ohu ibe ya ji ya ụgwọ otu
narị denarị.* O jidere ya n’aka ike, machie ya aka n’akpịrị, sị ya, ‘Kwụghachi m ụgwọ
i ji m ugbu a.’
[29] “Ya mere, ohu ibe ya ahụ dara n’ala n’ihu ya rịọọ ya ka o nye ya nwantịntị oge.
Ọ rịọkwara ya sị, ‘Enyi m, biko nwee ntachiobi, aga m akwụghachi gị ụgwọ m ji gị.’
[30] “Ma o kwenyeghị, kama ọ gara tụba ya n’ụlọ mkpọrọ, ebe ọ ga-anọ ruo mgbe ọ
kwụsịrị ụgwọ niile o ji ya. [31] Mgbe ndị ohu ibe ya hụrụ ihe mere, o wutere ha nke
ukwuu. Ha jekwuru Nna ha ukwu kọọrọ ya ihe niile ndị a.
[32] “N’ihi nke a Nna ya ukwu kpọrọ ohu ahụ sị ya, ‘Ohu obi ọjọọ! Agbaghara m gị
ụgwọ ahụ niile i ji, n’ihi na ị rịọrọ m arịrịọ. [33] Ọ bụ na ị kwesighị inwe obi ebere
n’ebe ohu ibe gị nọ, dị ka m si mere gị ebere?’ [34] N’ihi iwe, Nna ya ukwuu nyefere
ya n’aka ndị nche na-eche ndị nọ n’ụlọ mkpọrọ ka ha taa ya ahụhụ, ruo mgbe ọ
kwụchara ụgwọ niile o ji.
[35] “Otu a ka Nna m bi n’eluigwe ga-emekwa unu, ma ọ bụrụ na unu ejighị obi unu
niile gbaghara ụmụnna unu.”

# 19

*Ozizi banyere ọlụlụ di na nwunye*

[1] Mgbe Jisọs kwusiri okwu ndị a, o hapụrụ Galili gaa na mpaghara Judịa, nke dị
n’ofe osimiri Jọdan. [2] Igwe mmadụ dị ukwuu sooro ya. Ọ gwọkwara ndị ahụ na-
esighị ike n’etiti ha n’ebe ahụ.
[3] Ụfọdụ ndị Farisii bịakwutere ya i nwalee ya, sị, “O ziri ezi n’iwu na nwoke ga-
agbara nwunye ya alụkwaghị m n’ihi ihe ọbụla?”
[4] Ọ zara ha sị, “Ọ bụ na unu agụtabeghị na akwụkwọ nsọ, na Onye kere ha na mbụ
kere ha nwoke na nwanyị. [5] N’ihi nke a ka nwoke ga-eji hapụ nne ya na nna ya e
jikọta ya na nwunye ya. Ha abụọ ga-abụkwa otu anụ ahụ.* [6] Ya mere, ha abụkwaghị
mmadụ abụọ ọzọ, kama otu anụ ahụ. Ya mere, ihe Chineke jikọtara, ka mmadụ
ọbụla atọsala ya.”
[7] Ha jụrụ ya sị, “Gịnị mekwaranụ Mosis ji nye iwu si na nwoke ọbụla nwere ohere
ide akwụkwọ alụkwaghị m nye nwunye ya?”
[8] Ọ zara ha sị ha, “Ọ bụ n’ihi na unu bụ ndị mkpọchi obi, ya mere Mosis jiri hapụ
unu ka unu gbaa nwunye unu alụkwaghị m; ma ọ dịghị otu a site na mbụ. [9] Ma ana
m asị unu, onye ọbụla ga-ahapụ nwunye ya lụrụ onye ọzọ, ma ọ bụghị n’ihi na o
jidere nwunye ya na mmehie ịkwa iko, onye ahụ emeela mmehie ịkwa iko ma ọ lụọ
nwanyị ọzọ.”
[10] Ndị na-eso ụzọ ya sịrị ya, “Ọ bụrụ na o si otu a dịrị, ọ ka mma na mmadụ alụghị
nwunye ma ọlị.”

---

§ **18:24** 18:24 Ihe ruru nde naịra abụọ maọbụ karịa. * **18:28** 18:28 Ihe ruru otu puku naịra maọbụ o jiri ihe ntakịrị karịa. * **19:5** 19:4,5 Jen 1:27; Jen 2:24

11 Ma ọ zara sị ha, “Ọ bụghị mmadụ niile ga-anagide okwu a. Naanị ndị e nyere
ike ime ya ga-anagide ya. 12 Ma ụfọdụ ndị mmadụ ka a mụrụ ka ha bụrụ onozi, ndị
ọzọ bụkwa ndị mmadụ ibe ha mere otu a. Ndị ọzọ dịkwa ndị jiri aka ha họrọ ibu
onozi[†] n’ihi alaeze eluigwe. Onye pụrụ ịnara nke a, ya nara ya.”

### *Jisọs agọzie ụmụntakịrị*

13 Mgbe ahụ e kuteere ya ụmụntakịrị ka o bikwasị ha aka, kpeekwara ha ekpere.
Ma ndị na-eso ụzọ ya baara ndị kutere ha mba.
14 Ma Jisọs sịrị ha, “Kweenụ ka ụmụntakịrị bịakwute m, unu egbochikwala ha.
N’ihi na alaeze eluigwe bụ nke ndị dị otu a.” 15 O bikwasịrị ha aka n’isi gọzie ha niile
tupu ọ hapụ ha pụọ.

### *Onye ọgaranya*

16 Otu onye bịakwutere ya, jụọ ya ajụjụ sị, “Ezi onye ozizi, olee ezi ihe m ga-eme
ka m keta ndụ ebighị ebi?”
17 Jisọs sịrị ya, “Gịnị mere i ji ajụ m ajụjụ banyere ihe bụ ezi ihe? Ọ dị naanị otu
onye nke bụ ezi mmadụ. Ọ bụrụ na ị chọrọ ịba n’ime ndụ ahụ, debe iwu niile e
nyere.”
18 Ọ jụrụ ya ajụjụ sị, “Olee iwu ndị m ga-edebe?”
Jisọs zara ya, “ ‘Egbula mmadụ, akwala iko, ezula ohi, ekwula okwu ụgha.
19 Sọpụrụ nne gị na nna gị.[‡] Ọzọ, hụkwa onye agbataobi gị n’anya dị ka onwe gị.’[§]”
20 Nwokorobịa ahụ sịrị ya, “Edebezuchaala m iwu ndị a siterịị na mgbe m dị na
nwata. Gịnị ọzọ fọdụụrụ m ime?”
21 Jisọs zara sị ya, “Ọ bụrụ na ị chọrọ ịbụ onye zuruoke n’ezie, laa n’ụlọ gị ree ihe
niile i nwere, nyekwa ndị ogbenye ego i retara. Ị ga-enwe akụ n’eluigwe, mgbe ahụ,
bịakwa soro m.”
22 Mgbe nwokorobịa ahụ nụrụ okwu a, ọ lara na mwute, n’ihi na ọ bụ ọgaranya.
23 Mgbe ahụ Jisọs gwara ndị na-eso ụzọ ya sị, “N’ezie agwa m unu, ọ bụ nnọọ ihe
siri ike na onye ọgaranya ga-abanye n’alaeze eluigwe. 24 Ọzọkwa, asị m unu, ọ dịrị
ịnyịnya kamel mfe ịgafe n’anya agịga, karịa ọgaranya ịbanye n’alaeze Chineke.”
25 Okwu a o kwuru tụrụ ndị na-eso ụzọ ya n’anya. Ha sịrị, “Ọ bụrụ na o si otu a
dịrị, onye kwanụ ka a ga-azọpụta?”
26 Jisọs legidere ha anya sị ha, “N’ebe mmadụ nọ nke a bụ ihe a na-apụghị ime, ma
ọ dịghị ihe rara ahụ ime n’ebe Chineke nọ.”
27 Mgbe ahụ Pita jụrụ ya sị, “Lee, anyị ahapụla ihe niile soro gị, gịnị ga-abụ ụgwọ
ọrụ anyị?”
28 Jisọs zara sị ya, “N’ezie agwa m unu, mgbe a ga-agbanwe ihe niile, mgbe Nwa nke
Mmadụ ga-anọkwasị n’elu ocheeze ebube ya, n’alaeze ahụ, n’ezie, unu bụ ndị na-eso
ụzọ m ga-anọkwasị n’ocheeze iri na abụọ ahụ, na-ekpe ebo iri na abụọ nke Izrel ikpe.
29 Onye ọbụla hapụrụ ụlọ ya, na ụmụnne ya nwoke, na ụmụnne ya nwanyị, na nne
ya na nna ya, na ụmụntakịrị ya, maọbụ ala o nwere, soro m, ga-anata dị ka ụgwọ ọrụ
okpukpu narị ihe ọ hapụrụ, natakwa alaeze. Ọ ga-eketakwa ndụ ebighị ebi. 30 Ma
ọtụtụ ndị bu ụzọ ga-abụ ndị ikpeazụ, ma ndị ikpeazụ ga-abụkwa ndị bu ụzọ.”

## 20

### *Ilu banyere ndị ọrụ ubi*

1 “Ihe ọzọ a ga-eji tụnyere alaeze eluigwe bụ nwoke nwere ala ubi, onye pụrụ n’isi
ụtụtụ ịkpọta ndị ọrụ ga-arụ ọrụ n’ubi vaịnị ya. 2 Ya na ndị ọrụ ahụ kwekọtara na ọ
ga-akwụ ha otu denarị, n’ihi ọrụ ụbọchị ahụ. Emesịa o zigara ha n’ubi vaịnị ya.

---

[†] **19:12** 19:12 Nke a bụ ọnọdụ alụghị di maọbụ nwunye nke mmadụ kpebiri n’onwe ya. [‡] **19:19** 19:19 Ọpụ 20:12-16; Dit 5:16-20 [§] **19:19** 19:19 Lev 19:18

3 “Mgbe ọ pụrụ n’ihe dị ka elekere itoolu nke ụtụtụ, o sitere n’ebe a na-akpọta ndị
ọrụ na-agafe hụ ndị ọzọ ka ha guzoro n’ọma ahịa na-enweghị ọrụ ha na-arụ. 4 Ọ sịrị
ha, ‘Unu onwe unu gaakwanụ rụọ ọrụ n’ubi vaịnị m, ihe ọbụla ziri ezi ka m ga-akwụ
unu.’ 5 Ya mere ha gara.
“Ọ pụkwara n’elekere iri na abụọ na elekere atọ nke ehihie, ma meekwa otu ihe
ahụ. 6 Mgbe o ruru elekere ise nke anyasị, ọ pụrụ hụ ndị ọzọ ka ha guzoro. Ọ jụrụ
ha ajụjụ sị, ‘Gịnị mere unu ji guzoro n’ebe a taa niile na-arụghị ọrụ?’
7 “Ha zara sị ya, ‘N’ihi na ọ dịghị onye kpọrọ anyị ọrụ.’
“Ọ gwara ha sị, ‘Unu onwe unu gaakwanụ rụọ ọrụ n’ubi vaịnị m. Aga m akwụkwa
unu ihe dị mma.’
8 “Mgbe o ruru oge anyasị, onye nwe ubi vaịnị ahụ gwara onye na-elekọtara ya ndị
ahụ anya sị, ‘Kpọkọta ndị ọrụ ahụ kwụọ ha ụgwọ, site na ndị ikpeazụ bịara ọrụ ruo
na ndị bu ụzọ.’
9 “Mgbe ndị a kpọrọ ọrụ n’elekere ise anyasị naara ego ha, a kwụrụ ha otu denarị,
otu denarị. 10 Ma mgbe ndị a kpọrọ ọrụ n’isi ụtụtụ bịara ịnara ego ha, ha lere anya
na a ga-akwụ ha karịa. Ma a kwụkwara ha niile otu denarị. 11 Mgbe ha naara ego
ahụ, ha tamuru ntamu megide nna nwe ụlọ, 12 na-asị, ‘Ndị a bịara n’ikpeazụ rụrụ
ọrụ naanị otu awa, ma i meela ka anyị na ha hara. Anyị bụ ndị buru ihe mgbu nke
ọrụ ma okpomọkụ nke anwụ niile chara n’ụbọchị taa.’
13 “Ma ọ zara otu n’ime ha sị, ‘Enyi m, emeghị m gị ihe ọjọọ ọbụla. Ọ bụ na mụ na
gị ekwughị na m ga-akwụ gị otu denarị n’ụbọchị? 14 Nara nke ruru gị laa. A chọrọ
m ịkwụ ndị a bịara n’ikpeazụ ụgwọ dị ka m si kwụọ gị. 15 Ọ bụ na m enweghị ike iji
ihe m nwere mee otu ọ masịrị m? Ọ bụ anya ukwu ka ị na-enwe n’ihi afọ ofufu m?’
16 “Ya mere, onye ikpeazụ ga-abụ onye bu ụzọ, ma onye bu ụzọ ga-abụkwa onye
ikpeazụ.”

### *Jisọs ekwuokwa okwu banyere ọnwụ ya*

17 Mgbe Jisọs na-aga Jerusalem, ọ kpọpụrụ mmadụ iri na abụọ ahụ na-eso ụzọ ya
n’akụkụ sị ha, 18 “Lee, anyị na-aga Jerusalem ebe a ga-arara Nwa nke Mmadụ nyefee
n’aka ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu. Ha ga-ama ya ikpe ọnwụ, 19 nyefekwa ya
n’aka ndị mba ọzọ, ndị ga-eji ya mee ihe ọchị, pịa ya ihe, ma kpọgide ya n’obe. Ma
n’ụbọchị nke atọ, a ga-eme ka ọ site n’ọnwụ bilie.”

### *Arịrịọ nne Jemis na Jọn*

20 Mgbe ahụ, nne ụmụ Zebedi, duuru ụmụ ya ndị ikom abụọ bịakwute ya, o gburu
ikpere n’ala n’ihu ya, rịọ ya ihe ọ chọrọ ka o meere ha.
21 Ọ sịrị ya, “Gịnị ka ị chọrọ ka m meere gị?”
Ọ zara ya sị, “Kwee m nkwa na ụmụ abụọ ndị a ga-anọdụ otu n’aka nri gị, nke ọzọ
n’aka ekpe gị n’alaeze gị.”
22 Ma Jisọs zara sị, “Unu amaghị ihe unu na-arịọ. Unu pụrụ ịṅụ iko ahụ nke mụ
onwe m ga-aṅụ?”
Ha zara ya sị, “Ee, anyị nwere ike ịṅụ ya.”
23 Jisọs sịrị ha, “N’ezie unu ga-aṅụ iko m ga-aṅụ, ma ịnọdụ n’aka nri maọbụ n’aka
ekpe m, abụghị ihe dịrị m inye, kama ọ dịịrị ndị ahụ Nna m kwadooro ya.”
24 Mgbe mmadụ iri ndị ọzọ n’ime ndị na-eso ụzọ ya nụrụ nke a, iwe were ha nke
ukwuu megide ụmụnne abụọ a. 25 Ma Jisọs kpọkọtara ha niile, sị ha, “N’etiti ndị
na-ekweghị ekwe,*ndịisi ha na-emeso ndị ha na-achị mmeso dị ka o si dị ha mma
n’uche. Ndị ukwu n’etiti ha na-ejikwa aka ike na-achị ndị nọ n’okpuru ha. 26 Ma
n’etiti unu ọ gaghị adị otu a. Kama, onye ọbụla n’etiti unu chọrọ ịbụ onyeisi, ga-ebu
ụzọ bụrụ onye na-ejere unu niile ozi. 27 Ma onye ọbụla nke chọrọ ịbụ onye mbụ

* **20:25** 20:25 Maọbụ, ndị mba ọzọ

n'etiti unu ga-abụ ohu unu niile. 28 Ọ bụladị dị ka Nwa nke Mmadụ na-abịaghị ka e
jeere ya ozi, kama ka o jee ozi, ma nyekwa ndụ ya ka ọ bụrụ ihe mgbapụta nke ọtụtụ
mmadụ."

*Ndị ìsì abụọ Jisọs gwọrọ*

29 Mgbe ha na-ahapụ Jeriko, ọtụtụ igwe mmadụ sooro ya n'azụ. 30 Ndị ìsì abụọ nọ
n'akụkụ ụzọ ahụ. Mgbe ha nụrụ na ọ bụ Jisọs na-abịa, ha malitere iti mkpu n'oke
olu na-asị, "Onyenwe anyị, Nwa Devid, meere anyị ebere!"
31 Igwe mmadụ ahụ baara ha mba ka ha mechie ọnụ ha. Ma ndịisi ahụ nọgidesịrị
ike na-eti mkpu n'oke olu na-asị, "Onyenwe anyị, Nwa Devid, meere anyị ebere!"
32 Mgbe Jisọs bịaruru n'ebe ha nọ, o guzoro kpọọ ha, jụọ ha sị, "Gịnị ka unu chọrọ
ka m meere unu?"
33 Ha zara sị ya, "Onyenwe anyị, biko, anyị chọrọ ka i mee ka anyị hụ ụzọ."
34 Jisọs nwere ọmịiko n'ahụ ha. O metụrụ ha aka n'anya. Ngwangwa ha bidoro
ịhụ ụzọ, ma sorokwa ya.

# 21

*Mbata ikpeazụ Jisọs batara Jerusalem*

1 Mgbe ha na-abịaru Jerusalem nso, ha rutere Betfeji dị n'Ugwu Oliv. Jisọs zipụrụ
mmadụ abụọ n'ime ndị na-eso ụzọ ya. 2 Ọ gwara ha sị, "Baanụ n'ime obodo nta ahụ
dị unu n'ihu, ngwangwa unu ga-ahụ otu ịnyịnya ibu elibere n'osisi n'ebe ahụ, nke ya
na nwa ya nọ n'otu ebe. Tọpụta ha ma kpụtaranụ m ha. 3 Ọ bụrụkwa na onye ọbụla
asị unu ihe ọbụla, unu ga-asị ha, ọ dị Onyenwe anyị mkpa, ọ ga-akpụghachitekwa
ha ngwangwa."
4 E mere nke a ka okwu e kwuru site n'ọnụ onye amụma mezuo.
5 "Gwanụ ada Zayọn sị,
'lee, eze gị ka ọ na-abịakwute gị.
Ọ bụ onye dị nwayọọ. Ọ na-anọkwasịkwa n'elu ịnyịnya ibu,
ee, n'elu nwa ịnyịnya, nwa ịnyịnya na-ebu ibu.' "[*]
6 Ndị na-eso ụzọ ya gara mee ihe Jisọs sịrị ha mee. 7 Ha kpụtara ịnyịnya ibu ahụ na
nwa ịnyịnya ahụ, wụkwasịkwa uwe ha n'elu ha ka Jisọs nọkwasị n'elu ha. 8 Ọtụtụ
n'ime igwe mmadụ ahụ tụsara uwe ha n'okporoụzọ. Ndị ọzọ gbuturu alaka osisi,
tụsaa ha n'ụzọ n'ihu ya. 9 Ụfọdụ n'ime igwe mmadụ ahụ nọ n'ihu, na ndị na-esokwa
n'azụ, nọ na-eti mkpu n'oke olu na-asị:
"Hozanna dịrị Nwa Devid!"

"Onye a gọziri agọzi ka onye ahụ bụ, nke na-abịa n'aha Onyenwe anyị!"[†]

"Hozanna n'ebe kachasị ihe niile elu!"
10 Mgbe ọ batara n'ime Jerusalem, ụzụ tụrụ, obodo ahụ niile mere mkpọtụ. Ndị
mmadụ bidoro na-ajụ ajụjụ na-asị, "Onye kwa bụ onye a?"
11 Igwe mmadụ ahụ nọ na-asị, "Nwoke a bụ Jisọs, onye amụma ahụ sị Nazaret,
obodo dị n'ime Galili."

*Jisọs n'ụlọnsọ ukwu*

12 Jisọs banyere n'ụlọnsọ ukwu dị na Jerusalem, malite ịchụpụ ndị niile na-ere ahịa
na ndị na-azụ ahịa n'ime ụlọnsọ ahụ. O kpuru tebul ndị na-agbanwe ego ihu n'ala,
kwatuokwa oche ndị na-ere nduru. 13 Ọ sịrị ha, "E dere ya n'akwụkwọ nsọ, 'Ụlọ m ka
a ga-akpọ ụlọ ekpere,'[‡]ma unu emeela ya 'ọgba ndị na-apụnarị mmadụ ihe n'ike.'[§]"

---

[*] **21:5** 21:5 Zek 9:9 [†] **21:9** 21:9 Abụ 118:26 [‡] **21:13** 21:13 Aịz 56:7 [§] **21:13** 21:13 Jer 7:11

14 Ndị ìsì na ndị ngwụrọ bịakwutere ya n'ụlọnsọ ahụ. Ọ gwọkwara ha. 15 Ma
mgbe ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu hụrụ ihe ịrịbama ndị a, hụkwa ka ụmụnta
na-eti mkpu n'oke olu n'ogige ụlọnsọ ahụ, na-asị, "Hozanna dịrị Nwa Devid." Iwe
were ha nke ukwuu.
16 Ha sịrị ya, "Ị na-anụkwa ihe ụmụnta ndị a na-ekwu?"
Jisọs zara sị ha, "E, ana m anụ ya. Ọ bụ na unu agụtabeghị ihe akwụkwọ nsọ kwuru sị,
" 'I sitere n'ọnụ ụmụntakịrị na ụmụ na-aṅụ ara
gị, Onyenwe anyị, kwadooro otuto gị'*?"
17 Ọ hapụrụ ha, si n'obodo ahụ pụọ gaa Betani, ebe ọ nọrọ n'abalị ahụ niile.

### *Jisọs abụọ osisi fiig ọnụ*

18 N'ụtụtụ, mgbe ọ laghachiri n'obodo ahụ, agụụ gụrụ ya nke ukwuu. 19 Ọ hụrụ otu
osisi fiig nke dị n'akụkụ ụzọ. Mgbe o rutere n'ukwu ya, ọ hụghị ihe ọbụla n'elu ya
karịa naanị akwụkwọ ndụ. Ya mere, ọ sịrị ya, "Malite taa gaa n'ihu, ị gaghị amịkwa
mkpụrụ ọzọ!" Otu mgbe ahụ kwa, osisi ahụ kpọnwụrụ.
20 Mgbe ndị na-eso ụzọ ya hụrụ nke a, o juru ha anya, ha jụọ sị, "Gịnị mere osisi fiig a ji kpọnwụọ ngwangwa otu a?"
21 Jisọs zara sị ha, "N'ezie agwa m unu, ọ bụrụ na unu e nwee okwukwe, gharakwa
inwe obi abụọ, ọ bụghị naanị na unu ga-eme ihe e mere osisi fiig ahụ. Unu pụrụ
inye ugwu a iwu sị ya, 'Si n'ebe a wezuga onwe gị, gaa danye n'oke osimiri.' Ọ
ga-emezukwa. 22 Ihe ọbụla unu ga-arịọ n'ekpere, ọ bụrụ na unu ekwere unu ga-anatakwa ya."

### *Ajụjụ banyere ebe Jisọs si nweta ike ya*

23 Mgbe Jisọs batara n'ogige ụlọnsọ ukwu ahụ, ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu bịakwutere ya ka ọ nọ na-akụzi ihe jụọ ya sị, "Olee ikike i ji na-eme ihe ndị a niile? Ọ bụ onye nyekwara gị ikike a?"
24 Jisọs zara sị ha, "Aga m ajụkwa unu otu ajụjụ. Ọ bụrụ na unu azaa ya, aga m
agwakwa unu onye nyere m ikike m ji eme ihe ndị a niile. 25 Baptizim nke Jọn o sitere
n'eluigwe, ka ọ si n'aka mmadụ?"
Ha kparịtara ụka n'etiti onwe ha na-asị, "Ọ bụrụ na anyị asị, 'Na o si n'eluigwe,' ọ
ga-asị anyị, 'Ọ bụ gịnị mere unu na-ejighị kwenye na ya?' 26 Ma ọ bụrụ na anyị asị,
'Na o sitere n'aka mmadụ,' anyị na-atụ igwe mmadụ ndị a egwu, n'ihi na mmadụ niile kwenyere na Jọn bụ onye amụma."
27 Ya mere ha zara Jisọs sị ya: "Anyị amaghị."
Jisọs zakwara ha sị, "Mụ onwe m agaghị agwakwa unu ikike m ji na-eme ihe ndị a.

### *Ilu banyere ụmụnne abụọ*

28 "Gịnị ka unu chere banyere ihe a? Otu nwoke nwere ụmụ nwoke abụọ gwara nwa ya nke okenye sị ya, 'Nwa m nwoke, gaa rụọ ọrụ n'ubi vaịnị m taa.'
29 "Ọ zara ya sị, 'Agaghị m aga.' Ma o mesịrị gbanwee obi ya gaakwa rụọ ọrụ ahụ.
30 "Nna ha bịakwutere nwa ya nke nta gwakwa ya otu ihe ahụ. Nwa ahụ zakwara sị, 'Aga m aga, onyenwe anyị.' Ma n'ikpeazụ ọ gaghị.
31 "Onye n'ime ha abụọ mere ihe nna ya chọrọ?"
Ha zara sị ya, "Onye nke mbụ."
Jisọs kọwaara ha sị, "N'ezie agwa m unu, ndị ọna ụtụ na ụmụ nwanyị akwụna
ga-ebu unu ụzọ banye n'alaeze Chineke. 32 N'ihi na Jọn bịakwutere unu igosi unu
ụzọ ezi omume, ma unu ekweghị. Ndị ọna ụtụ, na ụmụ nwanyị akwụna chegharịrị.
Ọ bụladị mgbe unu hụrụ nke a, o mekwaghị ka unu chegharịa kwere na ya.

---
* **21:16** 21:16 Abụ 8:2

*Ilu banyere ndị nlekọta ubi ọjọọ*

33 “Ugbu a geekwanụ ntị n’ilu ọzọ. Otu onye dị nke nwere ala ubi. Ọ kụrụ osisi
vaịnị n’ubi a. Ọ gbakwara ubi ya ogige, gwuokwa ebe ịzọcha mkpụrụ vaịnị n’ime
ya.† O wukwara ụlọ elu n’ime ya. Mgbe o mesịrị ihe ndị a, o weere ubi ahụ tinye
n’aka ndị ga-elekọtara ya ubi ahụ, pụọ gaa n’ala ọzọ. 34 Mgbe oge iwe ihe ubi ruru,
o zipụrụ ndị odibo ya ka ha jekwuru ndị na-elekọta ubi ahụ, nata mkpụrụ nke ruuru
ya site n’ubi ahụ.
35 “Ma ndị na-elekọta ubi ahụ jidere ndị odibo ya ahụ tie otu onye n’ime ha ihe,
gbukwaa onye ọzọ n’ime ha. Ha tụkwara otu n’ime ha nkume. 36 Emesịa, o zigakwara
ọtụtụ ndị odibo karịrị ndị nke mbụ n’ọnụọgụgụ. Ma ndị na-elekọta ubi ahụ mekwara
ndị a ihe ha mere ndị nke mbụ. 37 N’ikpeazụ o zigara ọkpara ya, sị, ‘Ha ga-asọpụrụ
nwa m.’
38 “Ma mgbe ndị na-elekọta ubi ahụ hụrụ ọkpara ya, ha gbara izu n’etiti onwe ha
sị, ‘Lee! Onye a bụ onye nketa ihe niile. Bịanụ ka anyị gbuo ya, ma nwetakwa ihe
nketa ya.’ 39 Ya mere, ha jidere ya n’ike, kpụrụ ya gafee n’azụ ubi vaịnị ahụ, gbuo ya
n’ebe ahụ.
40 “Mgbe onye nwe ubi vaịnị ahụ lọtara, gịnị ka unu chere na ọ ga-eme ndị ahụ o
tinyere ilekọtara ya ubi ya?”
41 Ha zara ya sị, “Ọ ga-egbu ndị ajọ omume ahụ, laa ha n’iyi n’ụzọ dị njọ. Ọ ga-
ewerekwa ubi vaịnị ya tinye n’aka ndị nlekọta ọzọ, ndị ga-enyekwa ya mkpụrụ ubi
ruuru ya n’oge ya.”
42 Jisọs sịrị ha, “Ọ ga-abụ na unu agụtabeghị ihe e dere n’akwụkwọ nsọ sị,

“ ‘Nkume ahụ ndị na-ewu ụlọ jụrụ,
abụrụla nkume isi ntọala ụlọ.
Nke a bụ ọrụ nke Onyenwe anyị rụrụ,
ọ bụkwa ọrụ ịtụnanya n’anya anyị.’‡

43 “Ya mere, ana m eme ka unu ghọta, na a ga-anapụ unu alaeze Chineke, were
ya nye ndị mba ọzọ, ndị ga-amịpụta ezi mkpụrụ. 44 Onye ọbụla nke dakwasịrị n’elu
nkume a ga-etiwasị, ma ọ ga-egwepịa onye ọbụla nke ọ dakwasịrị.”
45 Mgbe ndịisi nchụaja na ndị Farisii nụrụ ilu ya ndị a, ha ghọtara na ọ na-ekwu
banyere ha. 46 Ha chọrọ ụzọ ha ga-esi jide ya, ma oke egwu igwe mmadụ ahụ tụrụ
ha, n’ihi na ha gụrụ ya n’onye amụma.

## 22

*Ilu banyere oriri ọlụlụ nwunye*

1 Jisọs gwara ha okwu ọzọ n’ilu sị, 2 “Alaeze eluigwe dị ka otu eze, nke kwadoro
oke oriri ọlụlụ di na nwunye, n’ihi nwa ya nwoke. 3 O zipụrụ ndị ohu ya ka ha gaa
chetara ndị ahụ a kpọrọ ka ha bịa. Ma ha niile achọghị ịbịa.
4 “O zipụkwara ndị ohu ya ọzọ na-ejere ya ozi ka ha gaa gwa ndị ahụ a kpọrọ
oriri sị, ‘E dozichaala ihe oriri ugbu a, egburu m oke ehi, na anụ ọzọ gbara abụba.
Edoziela ihe niile. Bịanụ n’oriri ọlụlụ di na nwunye.’
5 “Ma ndị ahụ niile a kpọrọ oriri gawaara mkpa ha n’ihi na ha akpọghị ya ihe
ọbụla. Otu onye gara n’ala ubi ya, nke ọzọ n’ụlọ ahịa ya. 6 Ndị fọdụrụ jidere ndị ohu
ya, mee ha ihe ihere ma gbukwaa ha. 7 Onye eze ahụ were iwe nke ukwuu, zipụ ndị
agha ya ka ha gaa laa ndị ogbu mmadụ ahụ n’iyi, rechapụkwa obodo ha n’ọkụ.
8 “Mgbe ahụ ọ gwara ndị ohu ya sị, ‘E doziela m oriri ọlụlụ di na nwunye, ma ndị
a kpọrọ oku ekwesighị ekwesi. 9 Ugbu a, gaanụ n’akụkụ ụzọ niile, kpọbatanụ ndị
niile unu hụrụ, ka ha bịa n’oriri ọlụlụ di na nwunye a.’ 10 Ndị ohu ahụ pụrụ gaa

† **21:33** 21:33 Maọbụ, ebe a na-apịpụta mmanya vaịnị ‡ **21:42** 21:42 Abụ 118:22,23

n'okporoụzọ niile kpọbata mmadụ niile ha hụrụ. Ha kpọbatara ndị bụ ezi mmadụ
na ndị bụ ajọ mmadụ. Ụlọ oriri ahụ jupụtakwara na ndị a kpọrọ.
11 "Ma mgbe eze ahụ batara ileta ndị niile nọ na nri, ọ hụrụ otu nwoke nke na-
eyighị uwe ọlụlụ nwunye. 12 Ọ jụrụ ya ajụjụ sị, 'Enyi m, i si aṅaa bata n'ebe a mgbe ị
na-eyighị uwe ọlụlụ di na nwunye?' O mechiri ọnụ ya n'ihi na o nweghị ihe ọ ga-asa.
13 "Eze ahụ nyere ndị ozi ya iwu sị ha, 'Keenụ ya eriri, aka na ụkwụ, tụpụkwanụ
ya n'ezi, n'ime ọchịchịrị, ebe ịkwa akwa na ịta ikikere eze ga-adị.'
14 "N'ihi na akpọrọ ọtụtụ mmadụ oku, maọbụ mmadụ ole na ole ka a họọrọ."

*Ịtụ ụtụ nye Siza*

15 Mgbe ahụ ndị Farisii* zukọtara na-achọ ụzọ ha ga-esi mee ka o kwuhie ọnụ ka ha
site na ya jide ya. 16 Ha zigara ndị na-eso ụzọ ha na ndị n'otu Herọd ka ha jụọ ya sị,
"Onye ozizi, anyị maara nke ọma na ị bụ onye eziokwu, na ị na-ezikwa ụzọ Chineke
n'eziokwu. Ị dịghị asọkwa onye ọbụla anya, n'ihi na ị dịghị ele mmadụ anya n'ihu
n'agbanyeghị ndị ha bụ. 17 Ugbu a gwa anyị, gịnị bụ uche gị? O ziri ezi n'iwu ịtụ ụtụ
nye Siza, ka ọ bụ na o zighị ezi?"
18 Ebe Jisọs maara ihe ọjọọ ha bu n'obi, ọ zara sị ha, "Ndị ihu abụọ! Gịnị mere
unu ji anwa m ọnwụnwa? 19 Gosinụ m ego e ji akwụ ụgwọ ụtụ." Ha wetaara ya otu
mkpụrụ ego. 20 Ọ jụrụ ha ajụjụ sị, "Onye ka e sekwasịrị onyinyo ya n'elu ego a? Aha
onye kwa dị n'okpuru onyinyo a?"
21 Ha zara sị ya, "Ọ bụ nke Siza."
Mgbe ahụ ọ gwara ha sị, "Ọ dị mma. Nyenụ Siza ihe ruuru Siza, ma nyekwanụ
Chineke ihe niile bụ nke ruuru Chineke."
22 Mgbe ha nụrụ nke a, ọ gbagwojuru ha anya, n'ihi ya, ha hapụrụ ya pụọ.

*Ọlụlụ nwunye na mbilite n'ọnwụ*

23 N'ụbọchị ahụ kwa, ụfọdụ ndị Sadusii, ndị na-asị na mbilite n'ọnwụ adịghị,
bịakwutere ya ịghụ ya ọnụ. 24 Onye ozizi, "Mosis kwuru sị, ọ bụrụ na nwoke ọbụla
anwụọ na-amụtaghị nwa, nwanne ya nwoke ga-alụrụ nwanyị ahụ di ya nwụrụ, ka ọ
mụtara nwanne ya nwoke ahụ nwụrụ anwụ nwa. 25 Ugbu a, e nwere ụmụnne nwoke
asaa n'etiti anyị. Onye nke mbụ lụrụ nwunye, nwụọ, ma ebe ọ dịghị ụmụ ọ mụtara,
ọ hapụrụ nwanne ya nwunye ya. 26 Otu a ka nke abụọ mekwara, ma nke atọ, ruo na
nke asaa. 27 N'ikpeazụ, nwanyị ahụ n'onwe ya nwụkwara. 28 Ugbu a, n'oge mbilite
n'ọnwụ, nwunye onye ka nwanyị a ga-abụ, ebe ọ bụ na ụmụnne nwoke asaa ndị a
lụtụchara ya mgbe ọ nọ n'ụwa?"
29 Jisọs zara ha sị, "Unu na-ejehie ụzọ n'ihi na unu aghọtaghị ihe akwụkwọ nsọ
na-ekwu. Unu aghọtakwaghị ụdị ike Chineke nwere. 30 N'ihi na mbilite n'ọnwụ, ịlụ
di na nwunye agaghị adịkwa, kama ha ga-adị ka ndị mmụọ ozi n'eluigwe. 31 Ma n'ihe
banyere mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ anwụ, ọ bụ na unu agụtabeghị ihe Chineke
gwara unu sị, 32 Mụ onwe m bụ Chineke nke Ebraham, Chineke nke Aịzik na Chineke
nke Jekọb.† Ọ bụghị Chineke nke ndị nwụrụ anwụ, kama ọ bụ nke ndị dị ndụ."
33 Mgbe igwe mmadụ ahụ nụrụ nke a, ozizi ya juru ha anya.

*Iwu kachasị mkpa*

34 Ma mgbe ndị Farisii nụrụ na ọ emeela ka ndị Sadusii mechie ọnụ ha, ha gbakọtara
otu ebe. 35 Otu onye n'ime ha, bụ onye ozizi iwu‡ bịara jụọ ya ajụjụ iji nwaa ya:
36 "Onye ozizi, olee iwu nke kachasị mkpa n'ime iwu niile?"

---

* **22:15** 22:15 Farisii Ndị otu na-akwado maka idebezu mmemme na omenaala niile ndị Juu. † **22:32** 22:32 Ọpụ 3:6 ‡ **22:35** 22:35 Ndị ozizi iwu bụ ndị ọka n'iwu, ọ bụ ha na a tapịaa iwu gbasara usoro okpukpe.

[37] Ọ zara sị ya, " 'Hụ Onyenwe gị bụ Chineke gị n'anya site n'obi gị niile na site na
mkpụrụobi gị niile, na site n'uche gị niile.'§ [38] Nke a bụ iwu nke mbụ, bụrụkwa iwu
kachasị iwu niile. [39] Iwu ọzọ na-eso nke a n'ịdị mkpa bụ nke a, 'Hụ onye agbataobi
gị n'anya dị ka i si hụ onwe gị n'anya.'* [40] Iwu ndị ọzọ niile na ihe niile ndị amụma
kwuru dabeere n'ebe iwu abụọ ndị a nọ."

### *Ajụjụ Jisọs jụrụ ndị Farisii*

[41] Mgbe ndị Farisii gbakọrọ n'otu ebe, Jisọs jụrụ ha, [42] "Gịnị ka unu na-eche banyere
Kraịst? Nwa onye ka ọ bụ?"

Ha zara sị ya, "Ọ bụ nwa Devid."

[43] Ọ sịrị ha, "Gịnị mekwaranụ Devid site na ntụziaka nke Mmụọ Nsọ jiri kpọọ ya
'Onyenwe m'? N'ihi na ọ sịrị,

[44] " 'Onyenwe anyị gwara Onyenwe m sị ya,
"Nọdụ ala n'aka nri m
ruo mgbe m ga-edebe ndị iro gị
n'okpuru ụkwụ gị abụọ." '†

[45] Ọ bụrụ na Devid kpọrọ ya 'Onyenwe anyị,' oleekwanụ otu o si bụrụkwa nwa ya?"
[46] Ọ dịghị onye pụrụ ịsa ya okwu. Sitekwa n'ụbọchị ahụ, ọ dịghị onye ọbụla nwere
anya ike ịjụ ya ajụjụ ọzọ.

## 23

### *Ịdọ aka na ntị banyere ihu abụọ*

[1] Mgbe ahụ Jisọs gwara igwe mmadụ ahụ niile na ndị na-eso ụzọ ya sị, [2] "Ndị ozizi
iwu na ndị Farisii na-anọ n'oche Mosis. [3] Ya mere, meenụ ma na-edebekwanụ ihe
niile ha na-agwa unu. Ma unu esokwala omume ha. N'ihi na ha adịghị eme ihe ha
na-ekwusa. Ha na-ekwu otu ihe ma na-eme ihe ọzọ. [4] Ha na-eke ibu dị arọ dịkwa ike
obubu bokwasị ndị ọzọ n'ubu, ma ha onwe ha agaghị eweli ọ bụladị otu mkpịsịaka
i buli ha.

[5] "Ihe niile ha na-eme bụ ka ndị mmadụ hụ ha. Ha na-eme ka igbe nta*e tinyere
iwu ndị dị mkpa e depụtara nke ha na-ekekwasị n'egedege ihu na n'aka dị obosara
na-emekwa ka ọnụnụ uwe ha buo ibu. [6] Ha hụrụ ịnọ n'isi oche n'oge mmemme oriri
ọbụla na ịnọkwasị n'oche kachasị elu n'ụlọ ekpere n'anya. [7] Ọ na-amasị ha mgbe a
na-ekele ha ekele pụrụ iche n'ọma ahịa, ndị ọzọ a na-akpọkwa ha, 'Onye ozizi.'

[8] "Unu ekwela ka onye ọbụla kpọọ unu 'Onye ozizi,' n'ihi na unu nwere naanị
otu Onye ozizi. Unu niile bụkwa ụmụnne. Ọ dịghị onye ka ibe ya ukwuu. [9] Unu
akpọkwala onye ọbụla n'ụwa a 'Nna,' n'ihi na unu nwere otu Nna nke bi n'eluigwe.
[10] Unu ekwela ka a kpọọ unu ndị ndu, n'ihi na ọ bụ naanị otu onyendu ka unu nwere,
ya bụ Kraịst. [11] Onye dị ukwuu n'etiti unu ga-abụ onye na-ejere unu ozi. [12] N'ihi na
onye ọbụla ga-ebuli onwe ya elu ka a ga-eweda n'ala. Ma onye ọbụla wedara onwe
ya ala, ka a ga-ebuli elu."

### *Ahụhụ asaa dịịrị ndị ozizi iwu na ndị Farisii*

[13] "Ahụhụ ga-adịrị unu ndị Farisii na ndị ozizi iwu, ndị ihu abụọ! N'ihi na unu
na-emechibido ndị ọzọ ụzọ ha ga-esi bata n'alaeze eluigwe, ma unu onwe unu adịghị
abata. Unu adịghịkwa enye ndị ọzọ ohere ịbata.

[14] "Ahụhụ ga-adịrị unu ndị ozizi iwu na ndị Farisii, ndị ihu abụọ! N'ihi na unu
na-eripịa ụlọ ndị inyom di ha nwụrụ, ọ bụladị mgbe unu na-ekpe ogologo ekpere ka
mmadụ hụ unu. Unu ga-anata ikpe ọmụma dị ukwuu.†

---

§ **22:37** 22:37 Dit 6:5 * **22:39** 22:39 Lev 19:18 † **22:44** 22:44 Abụ 110:1 * **23:5** 23:5 Maọbụ, Filaktịrị
† **23:14** 23:14 Ụfọdụ akwụkwọ mgbe ochie na-edebanye okwu ndị a dịka ọ dị n'akwụkwọ Mak 12:40 na Luk
20:47.

15 “Ahụhụ ga-adakwasị unu ndị ozizi iwu na ndị Farisii, ndị ihu abụọ! N’ihi na
unu na-agafe oke osimiri na mba dị iche iche, ime ka otu onye chegharịa, bụrụ onye
na-eso ụzọ unu. Ma mgbe unu mesịrị nke a, unu na-alaghachi mee ya okpukpu abụọ
ka ọ bụrụ nwa ọkụ ala mmụọ karịa onwe unu.
16 “Ahụhụ ga-adịrị unu ndị ndu kpuru ìsì! N’ihi na unu na-asị, Onye ọbụla jiri
ụlọnsọ ṅụọ iyi, iyi ọ ṅụrụ bụ ihe efu. Ma onye ọbụla jiri ọlaedo dị n’ime ụlọnsọ ṅụọ
iyi kwesiri imezu iyi ahụ ọ ṅụrụ. 17 Ndị nzuzu kpuru ìsì! Olee nke karịrị ukwuu?
Ọ bụ ọlaedo ahụ, ka ọ bụ ụlọnsọ nke doro ọlaedo ahụ nsọ? 18 Unu na-ezikwa ndị
mmadụ sị, ‘Ọ bụrụ na mmadụ ejiri ebe ịchụ aja ṅụọ iyi, iyi ahụ ọ ṅụrụ bụ ihe efu.
Ma onye ọbụla ga-eji onyinye dị n’elu ebe ịchụ aja ṅụọ iyi ga-emezu iyi ahụ ọ ṅụrụ.’
19 Leenụ ka unu si bụrụ ndị ìsì! Olee nke karịrị ukwuu? Ọ bụ onyinye dị n’elu ebe
ịchụ aja ka ọ bụ ebe ịchụ aja na-edo onyinye ahụ nsọ? 20 Ya mere, mgbe onye ọbụla
ji ebe ịchụ aja ṅụọ iyi, ọ bụ ebe ịchụ aja ahụ na onyinye dị n’elu ya ka o ji ṅụọ iyi
ahụ. 21 Otu a kwa, onye ji ụlọnsọ ahụ ṅụọ iyi jikwa ụlọnsọ ahụ na onye bi n’ime
ya na-aṅụ iyi. 22 Mgbe mmadụ jikwa eluigwe ṅụọ iyi, ọ bụ ocheeze Chineke na onye
nọdụrụ n’elu ocheeze ahụ ka o ji ṅụọ iyi.
23 “E, ahụhụ ga-adakwasị unu ndị Farisii na ndị ozizi iwu. Ndị ihu abụọ! N’ihi
na unu na-asa anya unu mmiri nye, ọ bụladị onyinye otu ụzọ n’ime ụzọ iri unu ruo
n’akwụkwọ nri dịkarịsịrị nta dị n’ubi unu, dịka mint, diil na kumin, ma unu akpọghị
ikpe ziri ezi na ebere, na okwukwe ihe dị mkpa. Ihe ndị a ka unu kwesiri ibu ụzọ
mee ma gharakwa ileghara iwu ndị ọzọ anya. 24 Ndị ndu kpuru ìsì! Unu na-azapụ
ijiji site na mmanya unu na-aṅụ, ma unu na-eloda ịnyịnya kamel.
25 “Ahụhụ ga-adakwasị unu, ndị Farisii na ndị ozizi iwu, ndị ihu abụọ! N’ihi na
unu na-elezi anya nke ọma mee ka azụ iko mmiri unu, na azụ efere unu dị ọcha, ma
ime ha jupụtara na ịpụnarị mmadụ ihe n’ike na ọchịchọ ọjọọ niile.‡ 26 Gị onye Farisii
kpuru ìsì! Buru ụzọ mee ka ime iko dị ọcha, mgbe ahụ azụ ya ga-adịkwa ọcha.
27 “Ahụhụ ga-adịrị unu ndị Farisii na ndị ozizi iwu, ndị ihu abụọ! N’ihi na unu
yiri ili e tere nzu, nke na-egosi onwe ya dị ka ihe mara mma, ma ime ya jupụtara
n’ọkpụkpụ ndị nwụrụ anwụ, na ihe niile na-adịghị ọcha. 28 N’ụzọ dị otu a, unu na-
egosi onwe unu dị ka ndị ezi omume, ma n’ime unu, unu jupụtara n’ihu abụọ na ndị
ajọ omume.
29 “E, ahụhụ ga-adịrị unu ndị Farisii na ndị ozizi iwu, ndị ihu abụọ! N’ihi na unu
na-ewu ili ndị amụma na-ewerekwa ihe ịchọ mma na-edozi nkume ncheta ndị ezi
omume. 30 Unu na-asịkwa, ọ bụrụ na anyị nọ n’oge nna anyị ha, anyị agaraghị eso
ha wufuo ọbara ndị amụma. 31 Site n’ụzọ dị otu a, unu na-agba akaebe megide onwe
unu na unu bụ ụmụ ndị gburu ndị amụma. 32 Gaanụ sorokwa nzọ ụkwụ nna unu
ha, ka unu rụzuo ọrụ ahụ ha malitere.
33 “Ụmụ agwọ! Ụmụ ajụala! Unu si aṅaa chee na unu ga-agbanarị ikpe nke ịba
n’ọkụ ala mmụọ? 34 Ya mere, aga m ezitere unu ndị amụma, ndị amamihe na ndị
nkuzi. Ụfọdụ n’ime ha ka unu ga-egbu, ụfọdụ ka unu ga-akpọgide n’obe, ndị ọzọkwa
ka unu ga-apịa ihe n’ụlọ nzukọ unu. Unu ga-achụkwa ha ọsọ site n’otu obodo gaa
n’obodo ọzọ. 35 Ka ọgbọ a bụrụ ndị ikpe mara n’ihi ọbara nke ndị ezi omume niile e
gburu n’ụwa, site n’ọbara Ebel ruo na nke Zekaraya nwa Berekaya, onye unu gburu
n’etiti ụlọnsọ n’ebe ịchụ aja unu. 36 N’ezie agwa m unu, ihe ndị a niile, ga-abịakwasị
ọgbọ a.

### *Ịhụnanya Jisọs n’ebe Jerusalem dị*

37 “O Jerusalem, Jerusalem! Gị obodo na-egbu ndị amụma, na nke na-atụ ndị niile e
ziteere gị nkume. Ugboro ole ka m chọrọ ịchịkọta ụmụ gị dị ka nne ọkụkụ si achịkọta
ụmụ ya n’okpuru nku ya ichebe ha? Ma ị chọghị ka m mee otu a! 38 Lee, a hapụrụla

‡ **23:25** 23:25 Mak 2:1

unu ụlọ unu ka ọ tọgbọrọ n’efu. 39 N’ihi na asị m unu, unu agaghị ahụ m anya ọzọ
tutu ruo mgbe unu ga-asị, Onye a gọziri agọzi ka onye ahụ bụ nke na-abịa n’aha
Onyenwe anyị.§ ”

# 24

*Mbibi ụlọnsọ ukwu na ihe ama ọgwụgwụ oge*

1 Mgbe Jisọs si n’ụlọnsọ ahụ na-apụ, ndị na-eso ụzọ ya bịakwutere ya na-achọ
igosi ya akụkụ dị iche iche nke ụlọnsọ ukwu ahụ. 2 Ma ọ zara ha sị, “Unu hụrụ ihe
ndị a niile? N’ezie agwa m unu, oge na-abịa mgbe ọ bụladị otu nkume na-agaghị
adịgidekwa n’elu ibe ya, nke a na-agaghị akwatu n’ala.”
3 Mgbe ọ nọdụrụ ala n’elu Ugwu Oliv, ndị na-eso ụzọ ya bịakwutere ya iche, sị,
“Gwa anyị, olee mgbe ihe ndị a ga-emezu? Gịnị ga-abụkwa ihe ịrịbama nke oge i ji
alọghachi na nke ọgwụgwụ ụwa a?”
4 Jisọs zara ha sị, “Lezienụ anya ka onye ọbụla ghara iduhie unu ụzọ. 5 N’ihi na
ọtụtụ ga-abịa n’aha m, na-ekwu sị, ‘Abụ m Kraịst ahụ.’ Ha ga-eduhiekwa ọtụtụ ndị
ụzọ. 6 Mgbe unu nụrụ ụzụ agha, na akụkọ agha dị iche iche, unu atụla egwu, n’ihi
na ihe ndị a aghaghị ime. Ma ha anaghị egosi na ọgwụgwụ oge eruola. 7 Mba ga-ebili
megide mba ibe ya, alaeze ga-ebilikwa megide alaeze ọzọ; oke ụnwụ,*na ala ọma
jijiji ga-adịkwa n’ọtụtụ ebe dị iche iche. 8 Ma ihe ndị a niile bụ naanị mmalite ịta
ahụhụ nke ga-abịa.
9 “Mgbe ahụ ha ga-arara unu nyefee n’aka ndị ga-ata unu ahụhụ. Ha ga-egbukwa
unu. Mba niile ga-akpọ unu asị n’ihi m. 10 Ọtụtụ ga-ada site n’okwukwe ha n’oge
ahụ. Ha ga-emekwa ka ibe ha ma n’ọnya, kpọọkwa ibe ha asị. 11 Mgbe ahụ ọtụtụ ndị
amụma ụgha ga-apụta. Ha ga-eduhiekwa ọtụtụ mmadụ. 12 N’ihi na ajọ omume bara
ụba n’ebe niile, ịhụnanya ọtụtụ ndị mmadụ n’ebe ibe ha nọ ga-ajụ oyi. 13 Ma onye
ga-eguzosi ike ruo ọgwụgwụ ka a ga-azọpụta. 14 A ga-ekwusa oziọma nke alaeze ahụ
nye ụwa niile ka ọ bụrụ ihe ama nye mba niile. Emesịa ọgwụgwụ oge ahụ ga-abịa.
15 “Ya mere, mgbe unu hụrụ ihe arụ nke na-eweta mbibi, nke e kwuru okwu ya site
n’ọnụ Daniel onye amụma,†ka ọ na-eguzo n’ebe nsọ (onye na-agụ ya nwee nghọta ihe
ọ pụtara). 16 Mgbe ahụ, ka ndị nọ na Judịa were ọsọ gbalaga n’elu ugwu. 17 Ka onye
nọ n’elu ụlọ ghara ịrịdata ka ọ banye n’ime ụlọ ya, ịkwapụta ngwongwo dị n’ime
ụlọ ya. 18 Ka onye nọ n’ubi ghara ịlọghachi n’ụlọ ya ịchịrị uwe ya. 19 Ma ịta ahụhụ
ga-adịrị ndị nwanyị di ime, na ndị na-enye ụmụaka ara n’ụbọchị ahụ 20 Kpesienụ
ekpere ike ka unu ghara ịgba ọsọ a n’oge oke oyi, maọbụ n’ụbọchị izuike. 21 N’ihi na
oke mkpagbu ga-adị, ụdị nke ụwa na-ahụbeghị mbụ, na nke anya na-agaghị ahụkwa
ọzọ site na mmalite ụwa ruo mgbe ahụ.
22 “Ọ bụrụ na-emeghị ka ụbọchị ndị ahụ dị mkpụmkpụ, o nweghị onye a ga-
azọpụta, ma n’ihi ndị ya ọ họpụtara, ụbọchị ndị ahụ ga-adị mkpụmkpụ. 23 Mgbe
ahụ, ọ bụrụ na onye ọbụla asị unu, ‘Lee, Kraịst nọ n’ebe a,’ maọbụ, ‘Lee ya n’ebe
ahụ,’ unu ekwela. 24 N’ihi na ndị nzọpụta ụgha na ndị amụma ụgha ga-apụta. Ha
ga-eme ihe oke ịrịbama na ọrụ ebube dị iche iche. Ọ bụrụ na ọ ga-ekwe mee, ha
ga-esite n’ọrụ ebube ha ga-arụ duhie, ọ bụladị ndị ahụ a họpụtara. 25 Lee, agwala m
unu ihe ndị a, mgbe ha na-emebeghị.
26 “Ya mere, ọ bụrụ na ha asị unu, ‘Lee, ọ nọ n’ime ọzara,’ unu agakwala. Ọ
bụrụkwa na ha asị unu, ‘Lee, ọ nọ n’ime ime ụlọ,’ unu ekwela. 27 N’ihi na ọbịbịa
Nwa nke Mmadụ ga-adị ka amụma na-egbu n’ọwụwa anyanwụ nke a na-ahụ anya
n’ọdịda anyanwụ. 28 Matakwanụ na ebe ọbụla ozu dị, n’ebe ahụ ka udele na-ezukọta.

§ **23:39** 23:39 Abụ 118:26 * **24:7** 24:7 Oke ụnwụ oke ụnwụ na-eweta ụkọ nri na nrịa nrịa dị iche iche. † **24:15**
24:15 Dan 9:27; 11:31; 12:11

29 “Ngwangwa mgbe mkpagbu nke ụbọchị ndị ahụ niile gabigasịrị,
“ ‘anyanwụ ga-agba ọchịchịrị.
Ọnwa agaghị enyekwa ìhè,
kpakpando ga-esi na mbara eluigwe daa,
ike niile nke eluigwe ga-ama jijiji.’‡
30 “N’oge ahụ akara ngosi nke Nwa nke Mmadụ ga-apụta ihe na mbara eluigwe.
Agbụrụ niile nke ụwa ga-anọkwa na-eru ụjụ. Ha ga-ahụ Nwa nke Mmadụ ka ọ na-
abịa n’igwe ojii, n’ike nakwa oke ebube. 31 Ọ ga-ewerekwa olu opi ike zipụ ndị mmụọ
ozi ka ha gaa kpọkọtaa ndị niile a họpụtara site n’akụkụ anọ niile nke eluigwe na
ụwa.

*Ihe mmụta site n’osisi fiig*

32 “Ugbu a mụtanụ ihe site n’osisi fiig. Mgbe ọbụla alaka ya malitere iwepụta ome
dị nro, na-epupụtakwa akwụkwọ ndụ maranụ na ọkọchị na-abịa nso. 33 Otu a kwa,
mgbe unu na-ahụ ihe ndị a niile ka ha na-eme marakwanụ na ọ nọ nso, ọ bụladị
n’ọnụ ụzọ unu. 34 N’ezie agwa m unu, ihe ndị a niile aghaghị imezu tupu ọgbọ a
agabiga. 35 Eluigwe na ụwa ga-agabiga, ma okwu m enweghị ike ịgabiga.

*O nweghị onye maara mgbe ọ ga-abụ*

36 “Ma o nweghị onye ọbụla maara ụbọchị ahụ, maọbụ oge awa ahụ ga-abụ. Ọ
bụladị ndị mmụọ ozi nọ n’eluigwe amaghị ya. Ọkpara ahụ amakwaghị. Ọ bụ naanị
Nna maara ya. 37 Ọbịbịa Nwa nke Mmadụ ga-adị ka ọ dị n’ụbọchị Noa. 38 N’oge
ahụ tupu iju mmiri ahụ abịa, ndị mmadụ nọ na-eri na aṅụ, na-emekwa mmemme
ọlụlụ di na nwunye, ruo ụbọchị Noa banyere n’ime ụgbọ mmiri ya. 39 Ha amataghị
ihe ga-eme tutu oke mmiri ahụ abịa kpochapụ ha niile. Otu ahụ ka ọbịbịa Nwa nke
Mmadụ ga-adị. 40 Mmadụ abụọ ga na-arụkọ ọrụ n’ubi ha, a ga-ewepụ otu hapụkwa
onye nke ọzọ. 41 Ụmụ nwanyị abụọ ga na-akwọ nri na nkume igwe nri, a ga-ewere
otu, ma hapụkwa nke ọzọ.
42 “N’ihi nke a, na-echenụ nche, n’ihi na unu amaghị ụbọchị Onyenwe unu ga-abịa.
43 Ma ghọtanụ nke a: Ọ bụrụ na nna nwe ụlọ mara oge onye ohi ga-abịa n’ụlọ ya
n’abalị, ọ ga-anọ na nche n’oge ahụ. Ọ gaghị ekwe ka onye ohi kụwaa ụlọ ya. 44 Otu a
ka unu onwe unu pụrụ isi nọgide na nche oge niile, n’ihi na Nwa nke Mmadụ ga-abịa
n’oge awa unu na-atụghị anya ya.

*Ọ dị mkpa ịnọ na nche*

45 “Onye bụ ohu ahụ nke kwesiri ntụkwasị obi ma nwekwa uche, nke onyenwe ya
mere onyeisi ndị ohu nọ n’ezinaụlọ ya, ka ọ na-enye ha nri n’oge ya? 46 Ngọzị na-
adịrị ohu ahụ, onye, mgbe onyenwe ya ga-alọghachi hụ na ọ na-eme otu a. 47 N’ezie
asị m unu, ọ ga-eme ya onyeisi nke ihe niile o nwere. 48 Ma ọ bụrụ na ohu ahụ bụ
onye ajọọ omume na-asị onwe ya,§‘Nna m ukwu anọọla ogologo oge,’ 49 ọ bụrụkwa
na o bido iti ndị ohu ibe ya ihe, sorokwa ndị ọṅụ oke mmanya na-eri, na-aṅụ. 50 Nna
ukwu ohu ahụ ga-alọta n’ụbọchị ọ na-atụghị anya, n’oge awa ọ na-amakwaghị. 51 Ọ
ga-egburisikwa ya, nye ya ọnọdụ n’etiti ebe ndị ihu abụọ nọ. Ebe e nwere ịkwa akwa
na ịta ikikere eze.

# 25

*Ụmụ agbọghọ iri*

1 “A ga-eji alaeze eluigwe tụnyere akụkọ ụmụ agbọghọ iri ndị weere oriọna ha
pụta izute onye na-alụ nwunye ọhụrụ. 2 Ise n’ime ha maara ihe, ma ise ndị ọzọ bụ
ndị nzuzu. 3 Ise ndị nzuzu ahụ weere oriọna ha, ma ha ejighị mmanụ ọkụ. 4 Ise ndị

‡ **24:29** 24:29 Aịz 13:10; 34:4 § **24:48** 24:48 Maọbụ, na-asị n’obi ya

maara ihe, wụjuru mmanụ ọkụ na karama, tinyekwa oriọna ha. 5 Mgbe onye na-alụ
nwunye ọhụrụ ahụ nọrọ ọdụ n'ọbịbịa ya, ụra tụwara ha, ha dinara ala rahụ ụra.
6 "N'etiti abalị e tiri mkpu n'oke olu sị, 'Onye na-alụ nwunye ọhụrụ na-abịa, pụtanụ
gaa zute ya!'
7 "Mgbe ahụ ụmụ agbọghọ niile ahụ*biliri mụnye oriọna ha. 8 Ise ndị nzuzu ahụ
rịọrọ ise ndị maara ihe sị, 'Biko, wụnyetụrụnụ anyị ụfọdụ n'ime mmanụ ọkụ unu,
lee na oriọna anyị na-anyụ anyụ.'
9 "Ndị maara ihe zara ha sị, 'Mba! Ọ gaghị ezuru anyị na unu. Kama gaanụ zuru
nke unu n'aka ndị na-ere ya.'
10 "Ma mgbe ha pụrụ ịzụta mmanụ ọkụ ahụ, onye na-alụ nwunye ọhụrụ bịarutere.
Ndị jikeere ejikere soro ya banye n'oriri ọlụlụ di na nwunye ahụ. E mechikwara ọnụ
ụzọ.
11 "Emesịa, ise ndị nzuzu ahụ†lọghachiri na-ekwu sị, 'Onyenwe anyị, Onyenwe
anyị, meghere anyị ụzọ!'
12 "Ma ọ zaghachiri ha sị, 'N'ezie, n'ezie, agwa m unu, amaghị m ndị unu bụ.'
13 "Ya mere, na-anọgidenụ na nche, n'ihi na unu amaghị ụbọchị ahụ, maọbụ oge
awa ahụ.

### *Ijizi akụ*

14 "Ọzọ, ọ ga-adị ka otu nwoke chọrọ ịga njem. Ọ kpọkọtara ndị ohu ya niile nyefee
ha akụnụba ya n'aka. 15 O nyere onye nke mbụ talenti ise, nke abụọ ka o nyere talenti
abụọ. O nyere onye nke ikpeazụ otu talenti.‡O nyere ha n'otu n'otu dị ka ike ha ha.
Mgbe ahụ ọ hapụrụ ha gaa ije ya. 16 Onye ahụ natara talenti ise weere ego ahụ malite
ịzụ ahịa. Ngwangwa o retara talenti ise ọzọ n'uru. 17 Otu a kwa, onye nke e nyere
talenti abụọ zụpụtakwara talenti abụọ ọzọ n'uru. 18 Ma onye ahụ natara otu talenti
gara gwuo ala lie ego nna ya ukwu, n'ihi ichezi ya nke ọma.
19 "Mgbe ogologo oge gasịrị, nna ukwu ndị ohu ahụ lọtara site n'ije ya. Ọ kpọkọtara
ha niile ka ha gụzie akụ ya. 20 Onye ahụ natara talenti ise batara wetakwa ise ọzọ. Ọ
gwara nna ya ukwu sị, 'Ị nyere m talenti ise, ma ugbu a azụpụtala m talenti ise ọzọ!'
21 "Nna ya ukwu sịrị ya, 'I mere nke ọma ezi ohu kwesiri ntụkwasị obi. I zipụtala
na i kwesiri ntụkwasị obi n'ihe dị ntakịrị. N'ihi ya aga m etinye gị n'ebe ị ga-elekọta
ọtụtụ ihe. Bata n'ọṅụ nke nna gị ukwu.'
22 "Onye nke e nyere talenti abụọ bịara sị, 'Nna anyị ukwu, i nyere m talenti abụọ,
ma lee, eritala m talenti abụọ ọzọ n'uru.'
23 "Nna ya ukwu sịrị ya, 'I mere nke ọma. Ị bụ ezi ohu kwesiri ntụkwasị obi. I
zipụtala na i kwesiri ntụkwasị obi n'ihe dị ntakịrị. N'ihi ya aga m etinye gị n'ebe ị
ga-elekọta ọtụtụ ihe. Bata n'ọṅụ nke nna gị ukwu.'
24 "Onye e nyere otu talenti batara sị, 'Nna anyị ukwu, amaara m onye ị bụ. Ị bụ
onye aka ntagide. Ị na-ewe ihe ubi n'ebe ị na-akụghị mkpụrụ. Ị na-achịkọtakwa
n'ebe ị na-agbasaghị. 25 N'ihi nke a, atụrụ m egwu, a gara m liere gị ego talenti gị
n'ala. Lee ihe gị werekwa.'
26 "Nna ya ukwu zara ya sị, 'Ohu ọjọọ na onye umengwụ. Ị maara na m na-ewe ihe
ubi n'ebe m na-akụghị mkpụrụ, na-achịkọtakwa n'ebe m na-agbasaghị. 27 Ị gaara
etinye ego m n'aka ndị na-echekwa ego, ndị gaara akwụghachi ya na ọmụrụnwa ya,
nke m gaara anata mgbe m lọghachiri.
28 " 'Napụtanụ ya talenti ahụ o ji, were ya nye onye ji talenti iri. 29 N'ihi na onye
ọbụla nwere ka a ga e tinyekwuru ka o nwebigakwa oke. Ma onye ahụ ọ na-adịghị

* **25:7** 25:7 E mere ka anyị mara na ndị a bụ ndị ha na nwoke ọbụla e dinabeghị. † **25:11** 25:11 Ụmụ agbọghọ ise ndị nzuzu ‡ **25:15** 25:15 Talenti Otu talenti bụ ụgwọ ọnwa iri afọ abụọ nke onye Griik na-arụ ọrụ ụbọchị.

nke o nwere, a ga-anapụ ya ọ bụladị nke nta o nwere. 30 Tụpụnụ ohu a na-abaghị
uru n'ezi, n'ime ọchịchịrị, ebe ịkwa akwa na ịta ikikere eze ga-adị.'

### *Ikpe nke ikpeazụ*

31 "Mgbe Nwa nke Mmadụ ga-abịa n'ebube ya na ndị mmụọ ozi niile, mgbe ahụ ka
ọ ga-anọ n'elu ocheeze ebube ya. 32 Mba niile nke ụwa ga-ezukọtakwa n'ihu ya. Ọ
ga-ekewapụta ha, otu obodo site n'ibe ya, dị ka onye ọzụzụ atụrụ sị ekewapụta ụmụ
atụrụ site n'ụmụ ewu. 33 Ọ ga-edebe ụmụ atụrụ ahụ n'akụkụ aka nri ya, ma ụmụ
ewu ga-anọ n'aka ekpe ya.
34 "Mgbe ahụ, eze ga-asị ndị nọ n'aka nri ya, 'Batanụ n'ime alaeze, unu ndị Nna m
gọziri agọzi, batanụ n'ime alaeze nke e doziiri unu site na mgbe e kere ụwa. 35 N'ihi
na mgbe agụụ gụrụ m unu nyere m nri. Mgbe akpịrị kpọrọ m nkụ unu nyere m ihe
ọṅụṅụ. Mgbe m bụ ọbịa unu kpọbatara m. 36 Mgbe m gba ọtọ, unu zụtara uwe nye
m. Mgbe m dara ọrịa unu lekọtara m. Anọkwara m n'ụlọ mkpọrọ unu bịara leta m.'
37 "Mgbe ahụ ndị ezi omume ahụ ga-ajụ ya sị, 'Onyenwe anyị, olee mgbe anyị hụrụ
gị ka agụụ na-agụ gị anyị enye gị nri? Olee mgbe anyị hụrụ gị ka akpịrị na-akpọ gị
nkụ, anyị ekuru mmiri ọṅụṅụ nye gị? 38 Olee mgbe kwa ka anyị hụrụ gị dị ka onye
ọbịa anyị akpọbata gị? Olee mgbe kwa ka anyị hụrụ gị ka ị gba ọtọ anyị enye gị uwe?
39 Olee mgbe kwa ka anyị hụrụ gị n'ọrịa, maọbụ n'ụlọ mkpọrọ anyị abịa leta gị?'
40 "Eze ahụ ga-azaghachi ha sị, 'N'ezie asị m unu, mgbe unu mesoro otu n'ime ndị
a dị nta n'ime ụmụnne m omume ọma, ọ bụ m ka unu mesoro omume ahụ.'
41 "Mgbe ahụ ọ ga-asịkwa ndị nọ n'aka ekpe ya, 'Pụọnụ n'ihu m unu ndị a bụrụ
ọnụ. Baanụ n'ime ọdọ ọkụ ebighị ebi ahụ a kwadobeere ekwensu na ndị mmụọ ozi
ya. 42 N'ihi na mgbe agụụ na-agụ m, unu enyeghị m ihe ọbụla ka m rie. Mgbe akpịrị
na-akpọ m nkụ, unu ekunyeghị m mmiri ka m ṅụọ. 43 Mgbe m nọ dị ka ọbịa, unu
akpọbataghị m n'ụlọ unu. Mgbe m gba ọtọ, unu enyeghị m uwe. Mgbe ahụ na-esighị
m ike, unu elekọtaghị m. Mgbe m nọ n'ụlọ mkpọrọ, unu abịaghị leta m.'
44 "Mgbe ahụ ha ga-azakwa sị, 'Onyenwe anyị, olee mgbe anyị hụrụ gị ka agụụ
na-agụ gị, maọbụ ka akpịrị na-akpọ gị nkụ, maọbụ oge ị bụ onye ọbịa, maọbụ oge ị
gba ọtọ, maọbụ oge ị nọ n'ọrịa, maọbụ ị nọ n'ụlọ mkpọrọ, ma anyị elekọtaghị gị?'
45 "Ọ ga-aza ha sị, 'Eziokwu ahụ bụ nke a, mgbe ahụ unu jụrụ inyere otu n'ime ndị
a dị nta aka, ọ bụ m ka unu jụrụ i nyere aka.'
46 "Ndị a ga-aba n'ịta ahụhụ ebighị ebi. Ma ndị ezi omume ga-aba na ndụ ebighị
ebi."

## 26

### *Izuzu megide Jisọs*

1 Mgbe Jisọs kwusiri okwu ndị a, ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya sị, 2 "Dị ka unu maara
nke ọma, Mmemme Ngabiga ga-amalite mgbe ụbọchị abụọ gasịrị. N'oge ahụ, a ga-
ararakwa Nwa nke Mmadụ nye ka a kpọgide ya n'obe."
3 N'oge ahụ, ndịisi nchụaja, na ndị okenye zukọtara n'ụlọeze otu onyeisi nchụaja
a na-akpọ Kaịfas. 4 Ha gbara izu ịchọpụta ụzọ ha ga-esi jide Jisọs na nzuzo gbuo ya.
5 Ha kwekọrịta sị, "Ọ gaghị abụ n'oge mmemme ka ọgbaaghara hapụ ịdị n'etiti ndị
mmadụ."

### *Otite mmanụ na Betani*

6 Mgbe Jisọs nọ na Betani, n'ụlọ Saimọn onye ekpenta, 7 otu nwanyị bu karama
alabasta nke mmanụ otite isi ụtọ dị oke ọnụahịa dị n'ime ya, bịakwutere ya, nke ọ
wụsara ya n'isi dị ka ọ na-anọdụ ala n'eri nri.

8 Ma mgbe ndị na-eso ụzọ ya hụrụ nke a, iwe were ha nke ukwuu. Ha sịrị, “Olee
ụdị ịla n’iyi dị nke a! 9 A gaara erepụta mmanụ a ego dị ukwuu were ego e retara ya
nyere ndị ogbenye aka.”
10 Ebe Jisọs matara ihe ha na-atamu n’obi ha, ọ sịrị ha, “Gịnị mere unu ji esogbu
nwanyị a? O merela m ihe dị mma. 11 Unu na ndị ogbenye ga-anọ oge niile, ma ọ
bụghị mụ na unu ga-anọ mgbe niile. 12 N’ihi na site n’ịwụ m mmanụ otite a n’ahụ, o
doziela m maka olili. 13 N’ezie, ana m agwa unu, n’ebe ọbụla ezisara oziọma a n’ụwa
niile, a ga na-echeta nwanyị a n’ihi ihe ọma a o meere m.”

### *Juda ekwere ịrara Jisọs nye*

14 Mgbe ahụ otu n’ime mmadụ iri na abụọ na-eso ụzọ ya, onye aha ya bụ Judas
Iskarịọt, jekwuuru ndịisi nchụaja. 15 Ọ jụrụ ha sị, “Gịnị ka unu ga-enye m ma m rara
ya nye n’aka unu?” Ha kwụrụ ya iri mkpụrụ ọlaọcha atọ. 16 Site n’oge ahụ na-aga,
ọ chọrọ ohere ịrara ya nye n’aka ha.

### *Oriri Mmemme Ngabiga*

17 N’ụbọchị mbụ nke mmemme achịcha na-ekoghị eko, ndị na-eso ụzọ Jisọs
bịakwutere ya jụọ ya sị, “Ebee ka ị chọrọ ka anyị gaa kwadoro gị ihe gị maka oriri
Ngabiga?”
18 Ọ zara ha sị, “Jekwurunụ otu nwoke n’ime obodo sị ya, Onye ozizi sị, ‘Oge m
abịala nso. Mụ na ndị na-eso ụzọ m ga-eri oriri Ngabiga n’ụlọ gị.’ ” 19 Ndị na-eso ụzọ
ya mere dị ka Jisọs gwara ha, doziekwa oriri Ngabiga ahụ n’ebe ahụ.
20 N’uhuruchi ụbọchị ahụ, ya na ndị na-eso ụzọ ya iri na abụọ ahụ nọdụrụ ala
n’oche nri ahụ. 21 Mgbe ha na-eri nri, o kwuru sị, “N’ezie ana m agwa unu, na otu
onye n’ime unu ga-arara m nye.”
22 Ha nwere oke mwute, ma malite ịjụ ya n’otu n’otu sị, “Onyenwe anyị, ọ bụ m?”
23 Ma ọ zara ha sị, “Ọ bụ onye ahụ mụ na ya na-amanyekọta aka n’otu efere ga-
arara m nye. 24 Lee Nwa nke Mmadụ ga-ala dị ka e si buo ya n’amụma. Ma ahụhụ
ga-adịrị nwoke ahụ onye a ga-esite n’aka ya rara Nwa nke Mmadụ nye. Ọ gaara akara
onye ahụ mma ma a sị na a mụghị ya amụ.”
25 Judas, onye ahụ raara ya nye jụrụ ya sị, “Onye ozizi ọ bụ m?”
Ọ zara sị, “Gị onwe gị ekwuola ya.”

### *Mmalite oriri nsọ*

26 Mgbe ha nọkwa na-eri nri, Jisọs were ogbe achịcha ahụ, mgbe o nyechara ekele,
ọ nyawara ya nye ndị na-eso ụzọ ya sị ha, “Naranụ nke a rie, n’ihi na nke a bụ anụ
ahụ m.”
27 Mgbe ahụ kwa, o burukwara iko mmanya, ma mgbe o nyechara ekele, o bunyere
ya ndị na-eso ụzọ ya sị ha, “Unu niile ṅụọnụ site n’iko a. 28 N’ihi na nke a bụ ọbara
m nke bụ akara ọgbụgba ndụ ọhụrụ ahụ. A na-awụsa ya maka ọtụtụ mgbaghara
mmehie. 29 Ana m agwa unu, na-agaghị m aṅụ mmanya sitere na mkpụrụ vaịnị ọzọ,
tutu ruo ụbọchị ahụ mụ na unu ga-aṅụ ya n’ụzọ dị iche n’alaeze Nna m.”
30 Mgbe ha bụsịrị abụ, ha pụrụ gaa n’Ugwu Oliv.

### *Ngọnarị Pita*

31 Mgbe ahụ Jisọs gwara ha sị, “N’abalị taa, unu niile ga-agbahapụ naanị m. N’ihi
na e dere ya, sị:
“ ‘Aga m etigbu onye ọzụzụ atụrụ,
atụrụ nke igwe atụrụ ahụ ga-agbasasịkwa.’*
32 Ma mgbe e mere ka m si n’ọnwụ bilite, aga m ebu unu ụzọ gaa Galili.”
33 Pita sịrị, “Ọ bụrụ na mmadụ niile agbahapụ gị gbalaga, agaghị m ahapụ gị.”

---

* **26:31** 26:31 Zek 13:7

34 Jisọs sịrị, “N’ezie agwa m gị, n’abalị taa, tupu oke ọkụkụ akwaa akwa, ị ga-
agọnarị m ugboro atọ.”
35 Ma Pita kwuru sị, “Ọ bụrụ na ọ dị mkpa ka m soro gị nwụọ, agaghị m agọnarị
gị.” Ọ bụkwa otu ihe ahụ ka ndị ahụ niile na-eso ụzọ ya kwuru.

### *Ekpere Jisọs na Getsameni*

36 Mgbe Jisọs bịara n’ogige ahụ a na-akpọ Getsameni, ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya sị
ha, “Nọdụnụ n’ebe a ka m gaa n’ihu nke nta kpee ekpere.” 37 Ọ kpọọrọ Pita tinyere
onwe ya, na ụmụ Zebedi abụọ. Ọ malitere inwe obi mwute n’ime onwe ya. Obi
malitekwara ịlọ ya mmiri. 38 Mgbe ahụ ọ gwara ha sị, “Ọ na-ewute mkpụrụobi m
nke ukwuu ruo n’ọnụ ọnwụ. Nọgidenụ n’ebe a soro m na-eche nche.”
39 Ọ gara n’ihu nke nta daa, kpuo ihu ya n’ala, kpee ekpere sị, “Nna m, ọ bụrụ na ọ
ga-ekwe mee, napụ m iko a. Ma ọ bụghị ka e mee uche m, kama ka e mee uche gị.”
40 Ya mere, ọ bịakwutere ndị na-eso ụzọ ya, hụ ha ka ha na-arahụ ụra. Ọ sịrị Pita,
“Ọ bụ na unu enweghị ike i soro m chee nche, ọ bụladị otu awa? 41 Na-echenụ nche,
na-ekpekwa ekpere, ka unu ghara ịba n’ọnwụnwa.†N’ihi na mmụọ dị na njikere ma
anụ ahụ adịghị ike.”
42 Ọ laghachiri azụ nke ugboro abụọ kpeekwa ekpere sị, “Nna m, ọ bụrụ na iko a
agaghị agabiga ma ọ bụghị na m ṅụrụ ya, ka e mee uche gị.”
43 Ọ lọghachikwara ọzọ hụkwa ka ha na-arahụ ụra, n’ihi na anya ha dị arọ. 44 Ọ
hapụrụ ha ọzọ gaa kpee ekpere nke ugboro atọ, na-ekwukwa otu okwu ahụ.
45 Mgbe ọ lọghachikwutere ndị na-eso ụzọ ya, ọ sịrị ha, “Unu ka nọ na-arahụ ụra,
na-ezukwa ike? Lee, oge awa ahụ abịala, a rarala Nwa nke Mmadụ nye n’aka ndị
mmehie. 46 Bilienụ ka anyị gawa. Lee, onye ahụ na-arara m nye na-abịa!”

### *Njide e jidere Jisọs*

47 Mgbe ọ nọ na-ekwu okwu a, Judas, otu n’ime ndị ozi iri na abụọ ahụ bịaruru,
ya na ọtụtụ igwe mmadụ so. Ụfọdụ ji mma agha ha, ndị ọzọ ji osisi.‡ Ọ bụ ndịisi
nchụaja na ndị okenye ndị Juu zitere ha. 48 Ma onye ahụ na-arara ya nye, nyere
ha ihe ịrịbama, sị, “Onye ahụ m ga-esutu ọnụ bụ nwoke ahụ, jidesienụ ya aka ike!”
49 Ngwangwa o jekwuuru Jisọs sị ya, “Ekele, Onye ozizi!” ma sutukwa ya ọnụ.
50 Jisọs gwara ya sị, “Enyi m, mee ihe ị bịara ime ngwangwa.”
Mgbe ahụ, ndị ikom ahụ bịara nso jide Jisọs, sekpụrụ ya n’ike. 51 Otu onye n’ime
ndị ha na Jisọs nọ, setịrị aka ya, mịpụta mma agha ya, gbuo ohu onyeisi nchụaja,
gbupụ ntị ya.
52 Ma Jisọs sịrị ya, “Mịghachi mma agha gị n’ọbọ ya, n’ihi na mmadụ ọbụla na-eji
mma egbu mmadụ ibe ya ga-anwụ site na mma. 53 I cheghị na m pụrụ ịrịọ Nna m ka
o zitere m ihe karịrị usuu ndị mmụọ ozi iri na abụọ n’otu ntabi anya? 54 Ma olee otu
ihe e dere n’akwụkwọ nsọ ga-esi mezuo, nke kwuru na ọ ghaghị ịdị otu a?”
55 N’oge awa ahụ, Jisọs gwara igwe mmadụ ahụ sị, “Unu pụtara chịrị mma agha
na mkpọ bịa ijide m dị ka a ga-asị na m bụ onye ohi? Anọrọla m ziekwa ihe n’ụlọnsọ
kwa ụbọchị, ma unu ejideghị m. 56 Ma ihe ndị a na-eme ka ihe ndị amụma dere
n’akwụkwọ nsọ mezuo.” N’oge ihe ndị a niile na-eme, ndị na-eso ụzọ ya niile hapụrụ
ya gbalaga.

### *Jisọs n’ụlọikpe*

57 Ndị jidere Jisọs duuru ya gaa n’ụlọ Kaịfas, onyeisi nchụaja. Ndị ozizi iwu na ndị
okenye ndị Juu zukọtara n’ebe ahụ. 58 Pita sogidere Jisọs n’azụ site n’ebe dị anya. O
rutere n’obi onyeisi nchụaja, baa n’ime ụlọ, sorokwa ndị na-eje ozi nọdụ ala, ka o
nwe ike ịhụ otu ihe a ga-esi bie.

† **26:41** 26:41 Maọbụ, nwalee ‡ **26:47** 26:47 Maọbụ, mkpọ

59 Ndịisi nchụaja, na ndịisi ikpe n'ụlọikpe ahụ nọ na-achọ ama ụgha megide Jisọs,
ka ha hụ ụzọ ha ga-esi gbuo ya. 60 Ma ọ dịghị nke ha chọtara, n'agbanyeghị n'ọtụtụ
ndị akaebe ụgha pụtara.
N'ikpeazụ, mmadụ abụọ pụtara 61 kwuo sị, "Nwoke a sịrị, 'Enwere m ike ịkwatu
ụlọnsọ ukwu nke Chineke, wughachikwa ya n'ụbọchị atọ.' "
62 Onyeisi nchụaja biliri ọtọ kwuo sị, "Ọ bụ na ị nweghị ihe ọbụla ị ga-aza? Gịnị
bụ ama ndị a a na-agba megide gị?" 63 Ma Jisọs ekwughị ihe ọbụla.
Onyeisi nchụaja gwara ya sị, Eji m aha Chineke dị ndụ nye gị iwu, sị gị, "gwa anyị,
ị bụ Kraịst, Ọkpara Chineke?"
64 Jisọs gwara ya sị, "Gị onwe gị kwuru ya. Ma ana m agwa unu, site ugbu a na-
aga n'ihu, unu ga-ahụ Nwa nke Mmadụ ka ọ na-anọdụ n'aka nri nke Onye dị ike,
na-abịakwa n'igwe ojii nke eluigwe."
65 Mgbe ahụ onyeisi nchụaja dọwara uwe ya, kwuo sị, "O kwuola arụ! Olee mkpa
ọ dị ịchọkwa ndị akaebe? Unu nụkwara nkwulu ya? 66 Gịnị bụ mkpebi unu?"
Ha zara sị ya, "O kwesiri ka ọ nwụọ!"
67 Mgbe ahụ, ha gbụsara ya ọnụ mmiri asọ n'ihu, tiekwa ya aka. Ndị ọzọ maara ya
ụra, 68 sị ya, "Buoro anyị amụma, gị, Kraịst. Onye tiri gị ihe?"

### *Pita agọnarị Jisọs*

69 Mgbe ahụ Pita nọdụrụ ala na mbara ezi nke obi ahụ. Otu n'ime ụmụ agbọghọ
na-eje ozi bịakwutere ya, sị, "Ị bụkwanụ otu n'ime ndị na-eso ụzọ Jisọs onye Galili."
70 Ma ọ gọrọ n'ihu ha niile sị, "Amaghị m ihe ị na-ekwu."
71 Mgbe ọ pụrụ gaa nọdụ n'ọnụ ụzọ mbata, nwaagbọghọ ọzọ hụrụ ya, gwa ndị nọ
n'ebe ahụ sị, "Nwoke a na Jisọs onye Nazaret nọkọrọ."
72 Ọzọkwa, o weere iṅụ iyi gọọ, "Amaghị m onye nwoke ahụ bụ."
73 Mgbe oge nta gasịrị, ndị guzo n'ebe ahụ bịakwutere Pita sị ya, "N'ezie, ịbụ otu
n'ime ha, n'ihi na asụsụ gị agbaala gị ama."
74 Ọ malitere ịbụ onwe ya ọnụ, na iṅụ iyi sị, "Amaghị m nwoke a."
Mgbe ahụkwa oke ọkpa kwara akwa. 75 Pita chetara okwu ahụ Jisọs kwuru sị,
"Tupu oke ọkpa akwaa akwa, ị ga-agọnarị m ugbo atọ." O si n'ebe ahụ pụọ, gaa
kwaa akwa nke ukwuu.

## 27

### *Jisọs n'ihu Pailet*

1 Mgbe chi bọrọ, ndịisi nchụaja niile na ndị okenye gbara izu megide Jisọs otu ha
ga-esi gbuo ya. 2 Ya mere, ha kere ya agbụ, duru ya pụọ, nyefee ya n'aka Pailet onye
bụ gọvanọ.

### *Ọnwụ Judas*

3 Mgbe Judas, onye ahụ rara Jisọs nye, hụrụ na a maala Jisọs ikpe ọnwụ, o chegharịrị
weghachikwara ndịisi nchụaja na ndị okenye iri ego ọlaọcha atọ ahụ. 4 Ọ kwuru sị,
"Emehiela m, site na ịrara onye aka ya dị ọcha nye ọnwụ."
Ma ha sịrị, "Nke ahụ agbasaghị anyị, ọ bụ mkpa dịrị gị."
5 Ọ wụsara ego ọlaọcha ahụ n'ala ụlọnsọ, pụọ gaa kwụọ ụdọ.
6 Ndịisi nchụaja tụtụkọtara ego ahụ kwuo sị, "O megidere iwu itinye ego a n'ime
ụlọakụ, n'ihi na ọ bụ ego ọbara." 7 Mgbe ha gbasịrị izu, ha kwekọtara ma were
ego ahụ zụta ala n'aka otu ọkpụ ite. Ha mere ala ahụ ka ọ bụrụ ebe a na-eli ndị
ọbịa. 8 Nke a mere e ji na-akpọ ala ahụ, "Ala Ọbara,"* ruo taa. 9 N'ụzọ dị otu a,
okwu e kwuru site n'ọnụ Jeremaya onye amụma mezuru. "Ha tụtụkọtara mkpụrụ
ego ọlaọcha iri atọ, bụ ọnụahịa onye ahụ, nke ụfọdụ n'ime ụmụ Izrel kpebiri na a

* **27:8** 27:8 Maọbụ, Ubi Ọbara

ga-akwụ n'isi ya. 10 Ha ji ego ahụ zụọ ubi onye ọkpụ ite, dị ka Onyenwe anyị nyere
m iwu."†

*Pailet ajụọ Jisọs ajụjụ*

11 N'oge a Jisọs guzo n'ihu gọvanọ. Gọvanọ jụrụ ya sị, "Ị bụ eze ndị Juu?"
Jisọs sịrị ya, "Gị onwe gị kwuru ya."
12 Mgbe ndịisi nchụaja na ndị okenye boro ya ebubo ụgha, o kwughị ihe ọbụla.
13 Ya mere, Pailet sịrị ya, "Ị naghị anụ ihe ndị a niile ha na-ebo gị?" 14 Ma ọ zaghị
ọ bụladị otu mkpụrụ okwu n'ebubo ndị ahụ. Ihe a gbagwojuru gọvanọ anya nke
ukwuu.

*Ikpe ọnwụ a mara Jisọs*

15 Ugbu a, ọ bụ omenaala gọvanọ n'oge mmemme na ọ ga-ahapụ otu onye mkpọrọ,
bụ onye igwe mmadụ họọrọ. 16 Ma n'oge a e nwere otu onye mkpọrọ nke ọtụtụ
mmadụ maara nke ọma. A na-akpọ Jisọs Barabas. 17 Mgbe igwe mmadụ niile zukọrọ,
Pailet sịrị ha, "Onye ka unu chọrọ ka m hapụrụ unu, ọ bụ Jisọs Barabas ka ọ bụ Jisọs
onye a na-akpọ Kraịst?" 18 N'ihi na ọ maara nke ọma na ọ bụ site n'ekworo ka ha ji
rara Jisọs nye n'aka ya.
19 Mgbe ọ nọkwasịrị n'elu oche ikpe ya, nwunye ya zitere ozi sị ya, "Wepụkwa aka
gị n'ihe gbasara nwoke onye ezi omume ahụ. N'ihi na ahụjuru m anya na nrọ n'abalị
gara aga n'ihi ya."
20 Ma ndịisi nchụaja na ndị okenye kwagidere igwe mmadụ ahụ ka ha rịọ ya, ka ọ
hapụrụ ha Barabas, ma nye ha Jisọs ka ha gbuo ya.
21 Ọzọkwa, gọvanọ sịrị ha, "N'ime mmadụ abụọ ndị a onye ka unu chọrọ ka m
hapụrụ unu?"
Ha sịrị, "Barabas!"
22 Pailet sịrị ha, "Gịnị ka m ga-eme Jisọs onye a na-akpọ Kraịst?"
Ha niile sịrị, "Kpọgide ya n'obe!"
23 Ọ jụrụ ha sị, "Ọ bụ n'ihi gịnị? Olee ihe ọjọọ o mere?"
Ma ha tiri mkpu karịa ka ha si eti na mbụ, na-asị, "Kpọgide ya n'obe! Kpọgide ya
n'obe!"
24 Mgbe Pailet hụrụ na o nweghị ihe ọ pụrụ ime, kama na ụzụ na ọgbaaghara na-
amalite. O weere mmiri kwọọ aka ya n'ihu igwe mmadụ ahụ sị ha, "Aka m dị ọcha
n'ebe ọbara nwoke a dị. Jirinụ aka unu hụ maka ya."
25 Igwe mmadụ ahụ zaghachiri ya n'otu olu sị, "Ka ọbara ya dị n'isi anyị na n'isi
ụmụ anyị!"
26 Mgbe ahụ ọ hapụụrụ ha Barabas. Mgbe ọ pịachara Jisọs ihe, ọ raara ya nye ka
ha kpọgide ya n'obe.

*Ndị agha ejiri Jisọs mee ihe ọchị*

27 Mgbe ahụ ndị agha gọvanọ duuru Jisọs baa n'ogige ụlọ ndị agha,‡ mee ka otu
ndị agha niile gbaa ya gburugburu. 28 Ha yipụrụ ya uwe ya, yinye ya uwe mwụda
na-acha uhie uhie. 29 Ha kpara okpueze nke e ji ogwu mee, kpukwasị ya n'isi. Ha
tinyekwara ya mkpara achara n'aka nri, gbuo ikpere n'ala n'ihu ya, na-akwa ya emo
na-asị, "Ekele, Eze ndị Juu!" 30 Ha gbụrụ ya ọnụ mmiri asọ, werekwa osisi ahụ kụọ ya
n'isi ọtụtụ mgbe. 31 Mgbe ha ji ya mechaa ihe ọchị, ha yipụrụ ya uwe ahụ, yinyekwa
ya uwe nke ya, duuru ya pụọ, ịga kpọgide ya n'obe.

*Ha akpọgide ya n'obe*

32 Mgbe ha na-apụ, ha zutere otu nwoke onye obodo Sirini a na-akpọ Saimọn. Ha
manyere ya ka o buru obe ya. 33 Mgbe ha bịarutere n'ebe a na-akpọ Gọlgọta (nke

---

† **27:10** 27:10 Zek 11:12,13; Jer 19:1-13; 32:6-9 ‡ **27:27** 27:27 Nke a na-akpọ Pritoriọm n'asụsụ Griik.

pụtara, "ebe okpokoro isi"). 34 Ha nyere ya mmanya a gwara ọgwụ ilu ka ọ ṅụọ.
Mgbe o detụrụ ya ire, o kweghị ya ọṅụṅụ. 35 Mgbe ha kpọgidechara ya n'elu obe.
Ha fere nza nke ha jiri kee uwe ya n'etiti onwe ha.§ 36 Ha nọdụkwara ala n'ebe ahụ
na-eche ya nche. 37 N'elu ebe isi ya dị, ka ha debere ihe ha dekwasịrị ebubo ha boro
ya. Nke a bụ ihe ha dere:

Onye a bụ Jisọs, Eze ndị Juu.

38 Ha kpọgidekwara ya na ndị ohi abụọ n'obe. Otu onye n'aka nri, onye nke ọzọ
n'aka ekpe ya. 39 Ndị na-agafe n'ụzọ na-ekwutọ ya, na-efufekwa isi ha, 40 na-asịkwa,
"Leenụ onye nwere ike ịkwatu ụlọnsọ Chineke wughachi ya na mkpụrụ ụbọchị atọ!
Zọpụtanụ onwe gị! Ọ bụrụ na ị bụ Ọkpara Chineke si n'elu obe ahụ rịdata!" 41 Ndịisi
nchụaja, ndị ozizi iwu na ndị okenye sokwa na-eme ya ihe ọchị, na-asị, 42 "Ọ zọpụtara
ndị ọzọ, ma o nweghị ike ịzọpụta onwe ya. Ọ bụ eze ndị Izrel; ya si n'elu obe rịdata
ugbu a, anyị ga-ekwerekwa na ya. 43 Ọ tụkwasịrị Chineke obi, ọ bụrụ na ọ masịrị
Chineke, ya napụta ya ugbua, n'ihi na o kwuru sị, 'Abụ m Ọkpara Chineke.' " 44 Ọ
bụladị ndị ohi ahụ a kpọgidekọrọ ha na ya n'obe nọkwa na-akparị ya.

### *Ọnwụ Jisọs*

45 Ma site n'elekere iri na abụọ nke ehihie ruo n'elekere atọ nke ehihie, ọchịchịrị
gbachikọtara n'ala ahụ niile. 46 N'oge dị ka elekere atọ nke ehihie, Jisọs tiri mkpu
n'oke olu sị, *"Elọi, Elọi, lama sabaktani?"* (nke pụtara, "Chineke m, Chineke m, gịnị
mere i jiri hapụ m?").*
47 Mgbe ụfọdụ ndị guzo n'ebe ahụ nụrụ nke a, ha sịrị, "Ọ na-akpọ Ịlaịja."
48 N'otu oge ahụ kwa otu onye n'ime ha gbaara ọsọ were ogbo denye ya na mmanya
gbara ụka, fanye ya n'osisi, welie ya elu, chee ya ka ọ ṅụọ. 49 Ma ndị ọzọ sịrị,
"Hapụnụ, ka anyị lee ma Ịlaịja ọ ga-abịa ịzọpụta ya."
50 Ọzọkwa, Jisọs jiri oke olu tie mkpu, kubie ume.
51 N'otu ntabi anya ahụ kwa, akwa mgbochi nke ụlọnsọ ahụ gbawara site n'elu ruo
n'ala. Ala makwara jijiji. Nkume tiwasịkwara. 52 Ala ili meghere. A hụrụ ọtụtụ ndị
nsọ, ndị nwụrụ anwụ, ka e mere ka ha si n'ọnwụ bilie. 53 Mgbe ha sitere n'ọnwụ
bilie, ha hapụrụ ili ha banye n'ime obodo nsọ, gosikwa ọtụtụ mmadụ onwe ha.
54 Mgbe ọchịagha, na ndị ya ha nọ n'ebe ahụ na-eche Jisọs nche hụrụ ala ọma jijiji
a, na ihe niile mere, ha tụrụ oke egwu. Ha kwuru sị, "N'ezie, nwoke a bụ Ọkpara
Chineke!"
55 Ọtụtụ ụmụ nwanyị nọ n'ebe ahụ, ndị guzo n'ebe dị anya na-ele ihe na-eme. Ha
si Galili soro Jisọs, na-ejere ya ozi.† 56 N'ime ha bụ Meri Magdalin, na Meri nne Jemis
na Josef, na nne ụmụ Zebedi.

### *Olili Jisọs*

57 Mgbe o ruru anyasị, otu onye ọgaranya si Arimatia aha ya bụ Josef. Onye ya
onwe ya bụkwa onye na-eso ụzọ Jisọs, 58 jekwuuru Pailet rịọọ ya ka e bunye ya ozu
Jisọs. Pailet nyere iwu ka e bunye ya ozu ahụ. 59 Josef buuru ozu ya, were ezi akwa
ọcha linin na-enwu enwu fụchie ya, 60 ma gaa lie ya n'ili ọhụrụ nke o gwuuru onwe
ya, n'etiti nkume. O jikwa otu nkume buru ibu kpuchie ọnụ ụzọ ili ahụ, hapụ ya laa.
61 Meri Magdalin na Meri nke ọzọ nọ na-ebe ahụ, ha nọdụrụ ala na ncherita ihu ili
ahụ.

### *Ndị nche n'ili Jisọs*

62 N'echi ya, nke bụ ụbọchị na-eso ụbọchị Nkwadebe, ndịisi nchụaja na ndị Farisii
zukọrọ jekwuru Pailet. 63 Ha kwuru sị, "Nna anyị ukwu, anyị na-echeta na mgbe

§ **27:35** 27:35 Imezu ihe e dere n'Abụ Ọma 22:18. * **27:46** 27:46 Abụ 22:1 † **27:55** 27:55 N'ihi ịhụ maka mkpa ya

onye ụgha ahụ dị ndụ, ọ sịrị na ya ga-esi n'ọnwụ bilie mgbe ụbọchị atọ gasịrị. 64 Ya
mere, nye iwu ka ndị agha gị na-eche ili ya nche, ruo mgbe ụbọchị atọ gasịrị. Nke a
ga-egbochi ndị na-eso ụzọ ya ịga zuru ozu ya. Ka ha ghara ị sịkwa ndị mmadụ na o
sitela n'ọnwụ bilie. Ọ bụrụ na ha agha ụgha dị otu a, ọ ga-ajọrọ anyị njọ mgbe ahụ
karịa na mbụ."
65 Pailet gwara ha sị, "Unu nwere otu ndị agha na-eche nche, kpọrọnụ ha gaa
mechisie ili ahụ ike dị ka unu si maara eme." 66 Ya mere, ha kpọrọ ndị agha gaa
mechizie ọnụ ili ahụ. Ha kakwara akara n'elu nkume ahụ.

# 28

*Mbilite n'ọnwụ Jisọs*

1 Mgbe ụbọchị izuike gasịrị, n'isi ụtụtụ ụbọchị mbụ n'ime izu ụka, Meri Magdalin
na Meri nke ọzọ, gara ka ha lee ili ahụ.
2 Na mberede, oke ala ọma jijiji malitere. N'ihi na mmụọ ozi Onyenwe anyị sitere
n'eluigwe rịdata, kpụgharịa nkume ahụ e ji mechie ọnụ ili ahụ, nọkwasịkwa n'elu
ya. 3 Ihu ya na-enwu dị ka amụma. Uwe ya na-achakwa ọcha dị ka akụmmiri igwe.*
4 N'ihi egwu ya, ndị nche makwara jijiji. Daa n'ala nọrọ dị ka ndị nwụrụ anwụ.
5 Ma mmụọ ozi ahụ gwara ụmụ nwanyị ahụ sị ha, "Unu atụla egwu, n'ihi na amaara
m na ọ bụ Jisọs onye a kpọgburu n'elu obe ka unu na-achọ. 6 Ọ nọkwaghị n'ebe a. O
sitela n'ọnwụ bilie, dị ka o si kwuo. Bịanụ lee ebe ọ tọgbọburu. 7 Gaanụ ngwangwa
gwa ndị na-eso ụzọ ya na e meela ka o si n'ọnwụ bilie. Lee, o burula unu ụzọ gawa
Galili. Ebe ahụ ka unu ga-ahụ ya. Chetakwanụ ihe m gwara unu."
8 Ha ji oke egwu na ọṅụ pụọ ọsịịsọ site n'ili ahụ, gbara ọsọ gawa ịkọrọ ndị na-eso
ụzọ ya. 9 Na mberede, Jisọs zutere ha sị ha, "Ndeewonụ!" Ha bịakwutere ya, jide
ụkwụ ya abụọ aka, kpọọkwa isiala nye ya. 10 Ya mere Jisọs gwara ha sị, "Unu atụla
egwu. Gaanụ, gwanụ ụmụnne m ka ha gaa Galili. Ha ga-ahụ m n'ebe ahụ."

*Ama ndị nche gbara*

11 Mgbe ha na-aga, ụfọdụ ndị agha chere ili ahụ nche batara n'ime obodo. Ha gara
kọọrọ ndịisi nchụaja ihe niile mere. 12 Emesịa, ndị nchụaja na ndị okenye zukọtara
kwekọrịtaa inye ndị agha ahụ ọkpụrụkpụ ego, 13 sị ha, "Ihe a ka unu ga-ekwu, 'Ndị
na-eso ụzọ ya bịara n'abalị zuru ya n'ohi mgbe anyị nọ na-arahụ ụra.' 14 Ọ bụrụ na
nke a eruo gọvanọ ntị, anyị ga-emeta ya mma, ma mee ka unu pụọ na nsogbu." 15 Ha
naara ego ahụ, meekwa dị ka e ziri ha. Akụkọ a ka a gbasara n'etiti ndị Juu ruo taa.

*Jisọs enye ndị na-eso ụzọ ya ikike*

16 Ma ndị ikom iri na otu ahụ bụ ndị na-eso ụzọ ya gara Galili, n'elu ugwu ebe Jisọs
gwara ha gaa. 17 Mgbe ha hụrụ ya, ha kpọrọ isiala nye ya. Ma ụfọdụ n'ime ha nwere
obi abụọ. 18 Jisọs bịara ha nso, gwa ha sị, "E werela ikike niile dị n'eluigwe na nke
dị n'elu ụwa nye m. 19 Ya mere, gaanụ mee ka mba niile bụrụ ndị na-eso ụzọ m, na-
emenụ ha baptizim n'aha nke Nna, na nke Ọkpara, na nke Mmụọ Nsọ. 20 Ziekwanụ
ha ka ha na-eme ihe niile m nyere unu n'iwu. Ma chetanụ na m na-anọnyere unu
mgbe niile, ruo ọgwụgwụ oge."

* **28:3** 28:3 Ya bụ, snoo

# Oziọma Mak

*Jọn omee baptizim edozie ụzọ*

1 Mmalite oziọma maka Jisọs Kraịst, Ọkpara Chineke. 2 Dịka e dere ya rịị
n'akwụkwọ Aịzaya onye amụma sị,
"Aga m ezipu onyeozi m n'ihu gị,
onye ga-edozi ụzọ gị."*
3 "Otu onye na-eti mkpu n'ọzara, na-asị,
'Dozienụ ụzọ maka Onyenwe anyị,
meenụ ka okporoụzọ ya guzozie.' "†
4 Jọn omee baptizim pụtara na-eme baptizim n'ọzara, ma na-ekwusa baptizim nke
nchegharị maka mgbaghara mmehie. 5 Ndị mmadụ si n'akụkụ Judịa niile na ndị
niile bi na Jerusalem pụrụ jekwuru ya. Ka ha na-ekwupụta mmehie ha, o mere ha
baptizim n'osimiri Jọdan. 6 Uwe Jọn yi n'ahụ ya bụ nke e ji ajị ịnyịnya kamel mee.
O kekwara ihe okike e ji akpụkpọ anụ mee n'ukwu ya. Nri ya bụ igurube na mmanụ
aṅụ. 7 O kwusara sị: "Onye dị ike karịa m na-abịa n'azụ m. Onye m na-erughị
ihudata ala tọpụ eriri akpụkpọụkwụ ya. 8 Eji m mmiri na-eme unu baptizim, ma ọ
ga-eji Mmụọ Nsọ mee unu baptizim."

*Baptizim na ọnwụnwa Jisọs*

9 N'oge ahụ, Jisọs sitere na Nazaret nke Galili bịa n'osimiri Jọdan, ebe Jọn mere ya
baptizim. 10 Ma mgbe o si n'ime mmiri ahụ na-apụta, ọ hụrụ ka eluigwe meghere.
Hụkwa Mmụọ Nsọ dị ka nduru ka ọ rịdatara bekwasị ya n'isi ya. 11 Otu olu si
n'eluigwe daa, "Ị bụ Ọkpara m hụrụ n'anya, ihe gị dị m ezi mma."
12 Ngwangwa, Mmụọ Nsọ duuru ya baa n'ime ọzara. 13 Ọ nọkwara n'ime ọzara
ahụ iri ụbọchị anọ, ebe ekwensu nwara ya ọnwụnwa. Ya na ụmụ anụ ọhịa nọkwa.
Ma ndị mmụọ ozi jeere ya ozi.

*Mbido ọrụ nkwusa*

14 Mgbe e tinyesịrị Jọn n'ụlọ mkpọrọ, Jisọs gara na Galili, na-ekwusa oziọma
Chineke. 15 Ọ sịrị, "Oge ahụ eruola, alaeze Chineke dị nso. Chegharịanụ ma
kwerekwanụ n'oziọma."

*Ọkpụkpọ ndị na-eso ụzọ ya*

16 Mgbe Jisọs na-aga n'akụkụ osimiri Galili, ọ hụrụ Saimọn na Andru nwanne ya,
ka ha na-awụnye ụgbụ ha n'ime mmiri n'ihi na ha bụ ndị ọkụ azụ. 17 Jisọs siri
ha, "Bịanụ soro m, m ga-emekwa unu ndị ọkụ na-akụta mmadụ." 18 Ngwangwa ha
hapụrụ ụgbụ azụ ha ma soro ya.
19 Mgbe ọ gatụrụ n'ihu nke nta, ọ hụrụ Jemis nwa Zebedi na nwanne ya bụ Jọn ndị
nọ n'ime ụgbọ mmiri, na-ekezi ụgbụ azụ ha. 20 Ngwangwa, ọ kpọrọ ha, ha hapụrụ
nna ha Zebedi na ndị o goro ọrụ n'ime ụgbọ soro ya.

*Jisọs chụpụrụ mmụọ ọjọọ*

21 Ha gara Kapanọm, mgbe ụbọchị izuike ruru, ọ bara n'ime ụlọ ekpere ma malite
izi ha ihe. 22 Ozizi ya juru ha anya nke ukwuu, n'ihi na o ziri ha ihe dịka onye nwere
ikike, ọ bụghị dị ka nke ndị ozizi iwu. 23 Ma n'otu oge ahụ, otu nwoke nọ n'ime ụlọ
ekpere ahụ nke mmụọ na-adịghị ọcha bi n'ime ya, tiri mkpu n'oke olu, 24 sị, "Gịnị

* **1:2** 1:2 Mal 3:1 † **1:3** 1:3 Aịz 40:3

ka anyị na gị nwekọrọ, gị Jisọs onye Nazaret? Ị bịala ịla anyị n'iyi? Amaara m onye
ị bụ, Onye Nsọ nke Chineke."
25 Ma Jisọs baara ya mba sị ya, "Mechie ọnụ sikwa n'ime ya pụta!" 26 Mmụọ ahụ
na-adịghị ọcha seere ya, mee ka ahụ ya maa jijiji, o tiri mkpu n'oke olu, ma sikwa
n'ime ya pụta.
27 Ha niile bụ ndị nọ n'ọnọdụ ihe iju anya ma na-ajụrịtara onwe ha ajụjụ sị, "Gịnị
bụ nke a? Ozizi ọhụrụ ya na ikike! Ọ na-enye ọ bụladị mmụọ na-adịghị ọcha iwu.
Ha na-erubekwara ya isi." 28 Akụkọ banyere ya gbasara ngwangwa ruo akụkụ niile
nke Galili.

### *Jisọs agwọọ ọtụtụ mmadụ*

29 Ngwangwa ha hapụrụ ụlọ ekpere ahụ, ha na Jemis na Jọn soro banye n'ụlọ
Saimọn na Andru. 30 N'oge a, nne nwunye Saimọn dina n'akwa ndina. Ahụ ọkụ
jikwa ya. Ha mere ka ọ mata banyere ya. 31 Ọ gakwuru ya, jide ya n'aka selite ya elu.
Ahụ ọkụ ahụ hapụrụ ya. Ọ malitekwara ile ha ọbịa.
32 N'oge uhuruchi, mgbe anwụ dara, ha kpọtaara ya ndị niile ahụ na-esighị ike na
ndị mmụọ ọjọọ bi n'ime ha. 33 Obodo ahụ niile gbakọrọ n'ọnụ ụzọ. 34 Ọ gwọrọ ọtụtụ
ndị bu ọrịa dị iche iche, ọ chụpụkwara ọtụtụ mmụọ ọjọọ ma o kweghị ka mmụọ ọjọọ
ndị ahụ kwuo okwu n'ihi na ha matara onye ọ bụ.

### *Jisọs apụọ ikpe ekpere naanị ya*

35 N'isi ụtụtụ, mgbe ọchịchịrị ka gbachiri, o biliri, ga ebe ọ ga-anọrọ onwe ya,
naanị ya. N'ebe ahụ kwa ka ọ nọ kpee ekpere. 36 Saimọn na ndị ya na ha nọ pụrụ
na-achọgharị ya. 37 Ma mgbe ha hụrụ ya, ha sịrị ya, "Mmadụ niile na-achọgharị gị!"
38 Ọ zaghachiri ha sị, "Ka anyị gaanụ ebe ọzọ, n'obodo ndị ọzọ dị anyị gburugburu,
ka m zisakwaara ha oziọma. Ọ bụ n'ihi nke a ka m ji bịa." 39 Ya mere, ọ pụrụ jegharịa
na Galili niile na-ekwusa oziọma n'ụlọ ekpere ha niile, na-achụpụkwa mmụọ ọjọọ.

### *Jisọs agwọọ onye ekpenta*

40 Otu onye ekpenta bịakwutere ya gbuo ikpere n'ala rịọọ ya sị, "Ọ bụrụ na ị chọrọ,
ị pụrụ ime ka m dị ọcha."
41 Ebe o jupụtara n'ọmịiko, Jisọs setịpụrụ aka ya metụ ya sị, "Achọrọ m, dị ọcha!"
42 Ngwangwa ekpenta ya hapụrụ ya, e mekwara ka ọ dị ọcha.
43 Mgbe ahụ, Jisọs ji ịdọ aka na ntị zilaga ya, 44 ọ gwara ya sị, "Hụkwa na ọ dịghị
onye ọbụla ị ga-agwa ihe a. Kama gaa gosi onye nchụaja onwe gị. Chụọkwa aja dị ka
Mosis nyere n'iwu, maka ime ka ị dị ọcha gị, ka ọ bụrụ ihe ama nye ha." 45 Ma ọ pụrụ
malite ịkọsa akụkọ banyere ọgwụgwọ ya ebe niile. N'ihi ya Jisọs enwekwaghị ike
ịbanye n'obodo, kama ọ gara nọrọ n'ebe zoro ezo. Ma ndị mmadụ na-abịakwutekwa
ya site n'ebe niile dị iche iche.

## 2

### *Jisọs agwọọ onye ahụ ya kpọnwụrụ*

1 Mgbe ụbọchị ole na ole gafesịrị, ọ bataghachiri na Kapanọm. Ndị mmadụ nụrụ
na ọ lọghachila. 2 Igwe mmadụ zukọtara n'ime ụlọ ahụ nke mere na ohere afọdụghị
ọ bụladị n'ọnụ ụzọ. O kwusakwaara ha oziọma. 3 Ndị ikom ụfọdụ buteere ya otu
nwoke ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ. Ọ bụ mmadụ anọ bu ya. 4 Ebe ha na-enweghị
ike ibutere ya Jisọs n'ihi igwe mmadụ, ha gwupuru oghere n'elu ụlọ ebe ahụ ọ nọ.
Mgbe ha gwupusiri ya, ha budatara onye ahụ ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ n'ute o jiri
dina. 5 Mgbe Jisọs hụrụ okwukwe ha, ọ sịrị onye ahụ ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ,
"Nwa m nwoke, agbagharala gị mmehie gị."

6 Ma ụfọdụ ndị ozizi iwu nọdụrụ ala n'ebe ahụ na-eche n'ime obi ha sị, 7 "Gịnị
mere onye a ji na-ekwulu Chineke? Onye pụrụ ịgbaghara mmehie ma ọ bụghị naanị
Chineke?"
8 Ngwangwa Jisọs matara n'ime mmụọ ya na ha na-atule okwu a n'ime obi ha. Ọ
sịrị ha, "Gịnị mere unu ji na-eche ihe dị otu a n'obi unu? 9 Olee nke ka mfe: ọ bụ ịgwa
onye a akụkụ ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ, 'A gbagharala gị mmehie gị niile,' ka ọ bụ i
sị, 'Bilie chịrị ute gị jegharịa?' 10 Ma igosi unu na Nwa nke Mmadụ nwere ikike n'ụwa
ịgbaghara mmehie." Ọ sịrị onye ahụ akụkụ ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ, 11 "Ana m
asị gị, bilie, chịrị ute gị laa n'ụlọ gị." 12 O biliri, chịrị ute ya pụọ n'ihu mmadụ niile.
Nke a juru ndị niile nọ n'ebe ahụ anya. Ha toro Chineke na-asị, "Anyị ahụbeghị ihe
dị otu a mbụ!"

### *Ọkpụkpọ Livayị*

13 Emesịa, Jisọs pụrụ gaa n'akụkụ osimiri ahụ. Igwe mmadụ bịakwutere ya. Ọ
malitere izi ha ihe. 14 Mgbe ọ na-aga n'ihu, ọ hụrụ Livayị nwa Alfiọs ka ọ nọdụrụ ala
n'ụlọ ịnakọta ụtụ. Ọ sịrị ya, "Soro m," o biliri sooro ya.
15 Mgbe ọ na-eri nri uhuruchi n'ụlọ Livayị, ọtụtụ ndị ọna ụtụ na ndị mmehie soro
ya na ndị na-eso ụzọ ya nọrọ ebe ahụ, n'ihi na ndị na-esogharị ya dị ọtụtụ. 16 Mgbe
ndị ozizi iwu nke ndị Farisii hụrụ ya ka o so ndị mmehie na ndị ọna ụtụ na-eri nri,
ha jụrụ ndị na-eso ụzọ ya sị, "Gịnị mere o ji eso ndị mmehie na ndị ọna ụtụ na-erikọ
nri?"
17 Mgbe ọ nụrụ nke a, Jisọs sịrị ha, "Mkpa dibịa adịghị akpa ndị ahụ dị ike, kama
ọ bụ ndị ahụ na-esighị ike. Abịaghị m ịkpọ ndị ezi omume kama ndị mmehie."

### *Ajụjụ banyere ibu ọnụ*

18 N'oge a, ndị na-eso ụzọ Jọn na ndị Farisii na-ebu ọnụ. Ndị mmadụ bịara jụọ ya
sị, "Gịnị mere ndị na-eso ụzọ Jọn na ndị na-eso ụzọ ndị Farisii ji ebu ọnụ, ma ndị nke
gị adịghị ebu ọnụ?"
19 Jisọs sịrị ha, "O kwesiri na ndị a kpọrọ oriri ọlụlụ di na nwunye ga-ebu ọnụ mgbe
onye na-alụ nwunye ọhụrụ nọ n'etiti ha? Ha apụghị ibu ọnụ ogologo oge ya na ha
nọ. 20 Ma oge na-abịa mgbe a ga-ewepụ onye na-alụ nwunye ọhụrụ. N'ụbọchị ahụ
ka ha ga-ebu ọnụ.
21 "Ọ dịghị onye na-eji akwa ọhụrụ kwachie ebe akwa ochie siri dọkaa. Ọ bụrụ
na o mee nke a, akwa ọhụrụ ahụ ga-adọkapụ site na nke ochie mee ka ndọka ya dị
njọ karịa. 22 Ọ dịghị onye na-agbanye mmanya ọhụrụ na karama akpụkpọ ochie. O
mee nke a, mmanya ahụ ga-agbawa karama akpụkpọ ochie ahụ, mee ka karama na
mmanya laa n'iyi. Ee, a na-agbanye mmanya ọhụrụ n'ime karama akpụkpọ ọhụrụ."

### *Onyenwe ụbọchị izuike*

23 Otu ụbọchị izuike, ya na ndị na-eso ụzọ ya na-agafe n'ubi a kụrụ ọka. Dị ka ha
na-agafe, ndị na-eso ụzọ ya malitere ịghọ ụfọdụ ogbe ọka n'ime ọka ndị ahụ. 24 Ndị
Farisii siri ya, "Lee, gịnị mere ha ji na-eme ihe megidere iwu n'ụbọchị izuike."
25 Ma ọ sịrị ha, "Unu agụtaghị ihe Devid na ndị so ya mere mgbe agụụ gụrụ ha?
26 N'oge Abịata bụ onyeisi nchụaja, ọ banyere n'ụlọ Chineke taa achịcha e chere
n'ihu ya, nke ziri ezi na ọ bụ naanị ndị nchụaja kwesiri ịta ya. O nyetụkwara ndị ya
na ha so."
27 Mgbe ahụ, ọ gwakwara ha sị, "E mere ụbọchị izuike maka mmadụ, emeghị
mmadụ maka ụbọchị izuike." 28 Ya mere, Nwa nke Mmadụ bụ Onyenwe ọ bụladị
ụbọchị izuike.

## 3

### *Ọgwụgwọ onye aka ya kpọnwụrụ*

1 N'oge ọzọ, ọ banyere n'ụlọ ekpere, otu nwoke aka ya kpọnwụrụ akpọnwụ nọkwa
n'ebe ahụ. 2 Ụfọdụ ha nọ na-achọ ụzọ ha ga-esi boo ya ebubo, ya mere ha lekwasịrị
ya anya ịhụ ma ọ ga-agwọ ya ọrịa n'ụbọchị izuike. 3 Ma ọ gwara nwoke ahụ aka ya
kpọnwụrụ akpọnwụ sị, "Bilie guzoro n'etiti ebe a."
4 Mgbe ahụ ọ jụrụ ha sị, "Olee nke ziri ezi n'iwu ime n'ụbọchị izuike: ọ bụ ime ezi
ihe ka ọ bụ ime ihe ọjọọ, ịzọpụta ndụ ka ọ bụ ịla ndụ n'iyi?" Ma ha gbachiri nkịtị.
5 O lere ha anya n'iwe, o wutere ya n'ihi na obi ha kpọrọ nkụ. Ọ sịrị nwoke ahụ,
"Setịpụ aka gị." O setịpụrụ aka ya, aka ya dizikwara nke ọma. 6 Ngwangwa, ndị
Farisii sitere n'ebe ahụ pụọ n'iwe. Gaa soro ndị otu Herọd gbaa izu otu ha ga-esi laa
ya n'iyi.

### *Igwe mmadụ esoro Jisọs*

7 Ma Jisọs na ndị na-eso ụzọ ya sitere n'ebe ahụ pụọ gaa nọdụ n'akụkụ osimiri.
Igwe mmadụ ndị sitere na Galili sooro ya. 8 Mgbe ha nụrụ ihe niile ọ na-eme, ọtụtụ
mmadụ bịakwutere ya site na Judịa, na Jerusalem, na Idumia na obodo ndị dị n'ofe
Jọdan, na gburugburu Taịa na Saịdọn. 9 N'ihi ịdị ukwuu nke igwe mmadụ ahụ, ọ
gwara ndị na-eso ụzọ ya ka ha debere ya ụgbọ mmiri nta nso ka ọ banye, iji gbochie
igwe mmadụ ahụ ịkpagbu ya. 10 N'ihi na ọ gwọọla ọtụtụ ndị ọrịa, nke mere na ndị
bu ọrịa dị iche iche na-agbalịsị ike ịmetụ ya aka. 11 Mgbe ọbụla kwa ndị mmụọ na-
adịghị ọcha bi n'ime ha hụrụ ya, ha na-ada n'ala n'ihu ya na-eti mkpu na-asị, "Ị bụ
Ọkpara Chineke!" 12 Ma ọ na-enyesi ha iwu ike ka ha hapụ ịkọwa onye ọ bụ.

### *Jisọs họrọ ndị ozi iri na abụọ*

13 Ọ rigooro n'elu ugwu ma kpọrọ ndị ọ chọrọ nye onwe ya. Ha bịakwutekwara
ya. 14 Ọ họpụtara mmadụ iri na abụọ ndị ya na ha ga-anọ, mee ha ndị ozi. Ndị ọ
ga-ezipụ ikwusa oziọma, 15 nakwa ndị ga-enwe ikike ịchụpụ mmụọ ọjọọ.

16 Ndị a bụ mmadụ iri na abụọ ndị ọ họpụtara.

Saimọn (onye ọ kpọrọ Pita).
17 Jemis nwa Zebedi na Jọn nwanne ya (ndị ọ gụgharịrị aha *Boanajis*, nke pụtara
"ụmụ egbe eluigwe"),
18 Andru,
Filip,
Batalomi,
Matiu,
Tọmọs,
Jemis nwa Alfiọs,
Tadiọs,
Saimọn onye a na-akpọ Zilọt,
19 na Judas Iskarịọt, onye raara ya nye.

### *Ebubo ndị ezinaụlọ Jisọs na ndị nkuzi boro ya*

20 Emesịa, ọ lọtara n'ụlọ, ma igwe mmadụ gbakọtakwara ọzọ nke mere na ha
enweghị ohere iri nri. 21 Mgbe ndị ikwu ya nụrụ nke a, ha bịara gbalịa idulata ya
n'ụlọ ha, n'ihi na ndị mmadụ na-asị, "Isi adịghị ya mma."
22 Ma ndị ozizi iwu si Jerusalem bịa sịrị, "Mmụọ Belzebub bi n'ime ya! Ọ bụkwa
n'ike onyeisi ndị mmụọ ọjọọ ka o ji achụpụ mmụọ ọjọọ."
23 Ma ọ kpọrọ ha jiri ilu gwa ha okwu sị, "Ekwensu ọ pụrụ ịchụpụ ekwensu? 24 Ọ
bụrụ na alaeze ekewa megide onwe ya alaeze ahụ apụghị iguzo. 25 Ọ bụrụ na ezinaụlọ
ekewa megide onwe ya, ezinaụlọ ahụ apụghị iguzo. 26 Ọ bụrụkwa na ekwensu ebilie
megide onwe ya si otu a nwee nkewa, o nweghị ike iguzo; kama ọgwụgwụ oge ya

abịala nso. 27 N’ezie, ọ dịghị onye nwere ike ịbanye n’ụlọ nwoke dị ike kwakọrọ
ngwongwo ya niile, ma o bughị ụzọ kee nwoke ahụ siri ike agbụ. Mgbe ahụ ọ ga-
enwe ike ịbanye n’ụlọ ya, zukọrọ ngwongwo ya niile. 28 N’ezie agwa m unu, na a
ga-agbaghara ụmụ mmadụ mmehie na nkwulu niile nke ha kwuru. 29 Ma onye ọbụla
ga-ekwulu Mmụọ Nsọ, enweghị ike ịgbaghara ya. Ọ bụ onye ikpe mmehie ebighị ebi
mara.”
30 O kwuru nke a n’ihi na ha na-asị, “Mmụọ na-adịghị ọcha bi n’ime ya.”

### *Nne na ụmụnne Jisọs*

31 Mgbe ahụ, nne ya na ụmụnne ya ndị nwoke bịara, guzoro n’ezi. Ha ziri ozi ka
a kpọọ ya. 32 Igwe mmadụ gbara ya gburugburu mgbe ahụ gwara ya sị, “Lee, nne gị
na ụmụnne gị ndị nwoke na ndị nwanyị guzo n’ezi. Ha chọrọ ịhụ gị.”
33 Ọ zara sị, “Onye bụ nne m, ndị ole bụkwa ụmụnne m ndị nwoke?”
34 Mgbe ahụ, o lere ndị nọ ya gburugburu anya ma sị, “Ndị a bụ nne m, na ụmụnne
m ndị nwoke! 35 Onye ọbụla na-eme uche Chineke bụ nwanne m nwoke, na nwanne
m nwanyị, na nne m.”

# 4

### *Ilu banyere ọgha mkpụrụ*

1 N’oge ọzọ, ọ malitere izi ihe n’akụkụ osimiri. Igwe mmadụ dị ukwuu gbara ya
gburugburu, nke mere na ọ banyere n’ime ụgbọ nọdụ ala n’ime ya n’elu mmiri ahụ,
ma igwe mmadụ ahụ nọkwa n’akụkụ osimiri ahụ. 2 O bidoro i kuziri ha ọtụtụ ihe
n’ilu, ma n’ozizi ya, ọ sịrị ha, 3 “Geenụ ntị! Otu onye ọrụ ubi pụrụ gaa ịkụ mkpụrụ
ya. 4 Mgbe ọ na-agha mkpụrụ, ụfọdụ mkpụrụ dara n’akụkụ ụzọ, ụmụ nnụnụ bịara
tụtụrịa ha. 5 Ụfọdụ mkpụrụ dara n’ala nkume, ebe aja ntakịrị dị. Ha pupụtara
ngwangwa n’ihi na ala dị n’ebe ahụ emighị emi. 6 Ma mgbe anwụ wara, ọ chagburu
ha, ha kpọnwụọ n’ihi na ha enweghị mgbọrọgwụ. 7 Mkpụrụ ndị ọzọ dara n’etiti
ogwu; ogwu ahụ tolitere kpagbuo ha. Ha amịkwaghị mkpụrụ. 8 Mkpụrụ ndị ọzọ nke
dara n’ezi ala, puru, tolite, ma mịa mkpụrụ na mmụba iri atọ, iri isii, ọ bụladị otu
narị.”
9 Ọ sịrị ha, “Onye ọbụla nwere ntị ịnụ ihe, ya nụrụ.”
10 Ma mgbe ọ nọ naanị ya, ndị ozi iri na abụọ ahụ na ndị ọzọ nọ ya gburugburu
jụrụ ya ajụjụ banyere ilu ahụ. 11 Ọ gwara ha sị, “Enyela unu ihe omimi nke alaeze
Chineke. Ma ndị nọ n’ezi, a na-agwa ha ihe niile n’ilu, 12 nke mere na,
“ ‘Ha ga na-ele anya, hụkwa, ma ha agaghị ahụ ihe ọbụla,
ha ga na-anụ, nụkwa, ma ha agaghị aghọta ihe ọbụla,
ma ọ bụghị ya, ha nwere ike chigharịa bụrụ ndị a gbaghaara.’* ”
13 Mgbe ahụ, ọ jụrụ ha sị, “Ọ bụ na unu aghọtaghị ilu a? Unu ga-esikwa aṅaa
ghọta ilu ndị ọzọ? 14 Ọgha mkpụrụ ahụ na-agha okwu Chineke. 15 Mmadụ ụfọdụ dị
ka mkpụrụ ndị ahụ dara n’akụkụ ụzọ, ebe a kụrụ okwu ahụ. Ngwangwa ha nụrụ ya,
ekwensu na-abịa napụ ha okwu ahụ nke a kụrụ n’ime ha. 16 Ndị ọzọ dị ka mkpụrụ a
kụrụ n’ala nkume. Ha nụrụ okwu ahụ, were ọṅụ nabata ya n’otu mgbe ahụ. 17 Ma ebe
ha na-enweghị mgbọrọgwụ n’ime ha, ha na-anọ nwa oge nta. Mgbe nsogbu maọbụ
mkpagbu bịara n’ihi okwu ahụ, ngwangwa ha na-adachapụ.† 18 Ndị nke ọzọkwa, dị
ka mkpụrụ dara n’etiti ogwu, nụrụ okwu ahụ; 19 ma nchekasị nke ndụ a,‡na nghọgbu
nke akụnụba, na oke ọchịchọ, nakwa ihe ndị ọzọ na-abata, kpagbuo okwu ahụ, mee
ka ọ ghara ịmị mkpụrụ. 20 Ndị ọzọ, dị ka mkpụrụ a kụrụ n’ezi ala, nụrụ okwu ahụ,
nabata ya ma mịa mkpụrụ dị iri atọ, iri isii, maọbụ otu narị.”

---

* **4:12** 4:12 Aịz 6:9,10 † **4:17** 4:17 Maọbụ, daa mba ‡ **4:19** 4:19 Oge a nke anyị nọ n’ime ya

### *Iheọkụ dị n'elu tebul*

21 Ọ sịrị ha, "A na-ebute oriọna ka e jiri efere kpuchie ya maọbụ dọnye ya n'okpuru
akwa ndina? Ọ bụghị ka a dọba ya n'elu ihe ịdọba iheọkụ?§ 22 N'ihi na ihe niile e
zoro ezo ga-apụta ihe ma ihe niile e kpuchiri ekpuchi ka a ga-emesịa kpughee. 23 Onye
ọbụla nwere ntị ịnụ ihe, ya nụrụ."
24 Ọ sịrị ha, "Kpacharanụ anya ihe unu na-anụ. Ọ bụkwa ihe unu ji tụọrọ ndị ọzọ
ka a ga-eji tụọrọ unu, maọbụ karịa. 25 Onye nwere ihe ka a ga-enye karịa; onye
na-enweghị, ọ bụladị nke o nwere ka a ga-anapụ ya."

### *Ilu banyere otu mkpụrụ si eto*

26 Ọ sịkwara, "Alaeze Chineke yiri ihe dị otu a. Ọ dịka mgbe otu onye ghara mkpụrụ
n'ala ubi. 27 Ehihie na abalị, ma ọ nọ n'ụra ma o tetara, mkpụrụ ahụ na-epupụte na-
etokwa, ma ọ maghị ka o si na-eme. 28 Ala ahụ n'onwe ya na-eme ka mkpụrụ ahụ
puo. Ọ na-epupụte na mbụ, too oko, emesịa isi ọka, n'ikpeazụ ọ mịkwara mkpụrụ
kara aka n'oko ya. 29 Mgbe ọka ahụ chara ịghọ ya, o na-eji mma iwe ihe ubi ya bịa
gbutuo ọka ahụ, ghọrọkwa ogbe ọka laa, n'ihi na oge iwe ihe n'ubi eruola."

### *Ilu banyere mkpụrụ Mọstaadị*

30 Ọzọkwa, ọ sịrị, "Gịnị ọzọ ka anyị pụrụ ịsị na alaeze Chineke yiri? Ụdị ilu dị aṅaa
ka anyị ga-eji kọwaa ya? 31 Ọ dị ka mkpụrụ mọstaadị, nke bụ mkpụrụ dịkarịsịrị nta
nke a na-akụ n'ala. 32 Ma mgbe a kụrụ ya, ọ na-eto bukarịa ihe niile a kụrụ n'ubi, ọ
na-enwe alaka dị ukwuu nke bụ na ụmụ anụ ufe nke eluigwe na-ezukwa ike n'okpuru
ya."
33 O jiri ọtụtụ ilu yiri ndị a gwa ha okwu dị ka ha pụrụ ịghọta. 34 O nweghị oge
ọbụla ọ gwara ha okwu hapụ iji ilu. Ma ya na ndị na-eso ụzọ ya naanị nọdụ, ọ
na-akọwara ha ihe niile.

### *Jisọs emee ka ifufe kwụsị*

35 N'ụbọchị ahụ n'oge uhuruchi, ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya sị, "Ka anyị gafee n'ofe
nke ọzọ." 36 Ha hapụrụ igwe mmadụ ahụ ma kpọrọ ya, otu ọ dị, ya na ha banyere
n'ime ụgbọ. Ụgbọ ndị ọzọ dịkwa na-eso ya. 37 Oke ifufe dị ike bidoro ife, ebili mmiri
na-awụbakwa n'ụgbọ ahụ ruo na ụgbọ ha fọdụrụ ntakịrị ka mmiri mie ya. 38 Ma
Jisọs nọ n'azụ azụ ụgbọ ahụ na-arahụ ụra n'elu ohiri isi. Ndị na-eso ụzọ ya kpọtere
ya sị ya, "Onye ozizi, o metụghị gị n'obi na anyị n'ala n'iyi?"
39 Ọ biliri ọtọ, baara ifufe ahụ mba sịkwa osimiri ahụ, "Kwụsị! Dere jii!" Ifufe ahụ
kwụsịrị, ebe niile dajụrụ deere jii.
40 Ọ sịrị ndị na-eso ụzọ ya, "Gịnị mere unu ji atụ oke egwu? Ọ bụ na unu enwebeghị
okwukwe?"
41 Ha niile tụrụ egwu, jụrịta onwe ha sị, "Onye bụ onye a? Ọ bụladị ifufe na ebili
mmiri na-erubere ya isi!"

## 5

### *Jisọs agwọọ nwoke mmụọ ọjọọ bi n'ime ya*

1 Ha gafere n'ofe ọzọ nke osimiri ahụ n'akụkụ obodo Gerazin.* 2 Mgbe Jisọs sitere
n'ụgbọ ahụ pụta, otu nwoke mmụọ na-adịghị ọcha si n'ebe a na-eli ozu bịa zute ya.
3 Nwoke a bi n'etiti ili ndị ahụ. Ọ dịkwaghị onye ọbụla pụrụ ike ya agbụ, ọ bụladị iji
eriri igwe kee ya. 4 N'ihi na e keela ya agbụ ụkwụ n'aka ọtụtụ oge ma ọ dọbisiri eriri
igwe ndị ahụ, gbajisiekwa mkpọrọ igwe dị ya n'ụkwụ. Ọ dịkwaghị onye nwere ike

§ **4:21** 4:21 Maọbụ, ihe ịdọba oriọna * **5:1** 5:1 N'akwụkwọ ochie ụfọdụ, ị nwere ike hụ Gadarin.

ijideli ya. 5 Ọ na-agaghari n'etiti ili ahụ ehihie na abalị na n'ugwu dị ya gburugburu,
na-eti mkpu, na-eji nkume dị nkọ na-egbukasị onwe ya ahụ.
6 Mgbe o sitere n'ebe dị anya hụ Jisọs, ọ gbaara ọsọ gaa gbuo ikpere n'ihu ya. 7 O tiri
mkpu n'oke olu sị, “Gịnị ka mụ na gị nwekọrọ, Jisọs, Ọkpara Chineke Onye kachasị
ihe niile elu? Eji m aha Chineke na-arịọ gị, biko, atala m ahụhụ.” 8 N'ihi na o nyela
ya iwu sị, “Si n'ime nwoke a pụta, gị mmụọ na-adịghị ọcha!”
9 Mgbe ahụ Jisọs jụrụ ya sị, “Gịnị bụ aha gị?”
Mmụọ ọjọọ ahụ zaghachiri ya sị, “Aha m bụ Lijiọn,† n'ihi na anyị dị ọtụtụ.” 10 Ma
ọ rịọsiri ya arịrịọ ike ka ọ ghara ịchụpụ ha site n'obodo ahụ.
11 Igwe ezi nọ nso n'ebe ahụ na-akpa nri, na ndịda ugwu dị n'ebe ahụ. 12 Mmụọ
ọjọọ ndị a rịọrọ ya sị, “Biko ziga anyị n'etiti igwe ezi ndị a, ma hapụ anyị ka anyị
banye n'ime ha.” 13 Ọ hapụrụ ha; mmụọ ndị ahụ na-adịghị ọcha pụtara baa n'ime
igwe ezi ndị ahụ. Igwe ezi ahụ niile, ọnụọgụgụ ha ruru puku abụọ, gbaara ọsọ site
na mkputamkpu ala ọnụ mmiri dakpuo n'ime osimiri ebe mmiri riri ha niile.
14 Ndị na-elekọta igwe ezi ahụ gbaara ọsọ laa, kọsaa ihe mere n'ime obodo nakwa
n'ala ahụ niile. N'ihi nke a, ọtụtụ mmadụ pụtara ilere ihe mere. 15 Ha bịakwutere
Jisọs, hụ nwoke ahụ nke igwe mmụọ ọjọọ bibu n'ime ya. O yi uwe, nọdụ ala, bụrụkwa
onye uche ya zuruoke; egwu jidere ha. 16 Ndị hụrụ ihe mere kọọrọ ihe niile mere
nwoke ahụ mmụọ ọjọọ bibu n'ime ya. Ha kọkwaara ihe mere igwe ezi ndị ahụ.
17 Mgbe ahụ, ha bidoro ịrịọ Jisọs ka ọ pụọra ha n'akụkụ ala ha.
18 Dị ka ọ na-achọ ịbanye n'ime ụgbọ, nwoke ahụ mmụọ ọjọọ ndị ahụ bibu n'ime
ya rịọrọ ya ka o soro ha. 19 Ma Jisọs ekweghị, kama ọ sịrị ya, “Laa n'ụlọ, lakwuru
ndị enyi gị, kọọrọ ha ihe ọma Onyenwe anyị meere gị, na otu o si meere gị ebere.”
20 Ya mere, o si n'ebe ahụ pụọ, malitekwa ịkọsa n'ime mpaghara Dekapọlịs ihe ọma
Jisọs meere ya. Ihe a juru mmadụ niile anya.

### *Ada Jairọs na nwanyị nwere okwukwe*

21 Mgbe Jisọs jiri ụgbọ mmiri gafee n'akụkụ nke ọzọ, ọtụtụ igwe mmadụ zukọrọ
gbaa ya gburugburu mgbe ọ nọ n'akụkụ osimiri. 22 Ma otu n'ime ndịisi ụlọ ekpere
nke aha ya bụ Jairọs bịara, mgbe ọ hụrụ ya, ọ dara n'ala n'ụkwụ ya, 23 rịọsie ya
arịrịọ ike sị, “Ada m nwanyị nke nta nọ n'ọnụ ọnwụ ugbu a. Biko, bịa ka ị bikwasị
ya aka gị ka agwọ ya, ka ọ dịkwa ndụ.” 24 Ya mere, Jisọs soro ya gawa.
Oke igwe mmadụ sokwa ya na-akpagbu ya. 25 Ma otu nwanyị nọkwa n'ebe ahụ,
onye nọrịị na-arịa ọrịa oruru ọbara afọ iri na abụọ. 26 Ọ taala ahụhụ dị ukwuu n'aka
ndị dibịa, mefukwaa ihe niile o nwere. Ma kama ọrịa ya ịdị mma, ọ na-aga n'ihu ịdị
njọ. 27 Ebe ọ nụrụla akụkọ banyere Jisọs, o sooro igwe mmadụ ndị ahụ, sitere n'azụ
metụ uwe ya aka. 28 N'ihi na o kwuolarị n'ime obi ya sị, “Ọ bụrụ nnọọ na m enwe ike
metụ naanị uwe ya aka, a ga-agwọkwa m.” 29 Ngwangwa oruru ọbara ya kwụsịrị. Ọ
matakwara n'ime onwe ya na ya enwerela onwe ya site n'ọrịa ya.
30 N'otu oge ahụ Jisọs matara na ike esitela ya n'ahụ pụọ. Ọ tụgharịrị gburugburu
n'etiti igwe mmadụ ahụ jụọ sị, “Onye metụrụ uwe m aka?”
31 Ndị na-eso ụzọ ya sịrị, “Lee ọtụtụ igwe mmadụ gbara gị gburugburu, i sikwa
aṅaa na-ajụ, ‘Onye metụrụ uwe m aka?’ ”
32 Ma Jisọs gara n'ihu na-ele anya gburugburu ịhụ onye mere ya. 33 Ma nwanyị
ahụ, ebe ọ matara ihe mere n'ahụ ya, bịara n'egwu n'ịma jijiji daa n'ụkwụ ya, gwa
ya eziokwu niile. 34 Ọ sịrị ya, “Ada m nwanyị, okwukwe gị agwọọla gị. Laa n'udo
nwerekwa onwe gị site n'ọrịa gị.”
35 Mgbe ọ ka nọ na-ekwu okwu, ụfọdụ ndị mmadụ sitere n'ụlọ onyeisi ụlọ ekpere
bịara sị, “Ada gị nwanyị anwụọla, olee ihe mere i ji esogbu onye ozizi a ọzọ?”

† **5:9** 5:9 Nke a bụ site na puku atọ ruo puku isii n'ọnụọgụgụ.

36 Ma ka ọ nụrụ ihe ha kwuru, Jisọs gwara onyeisi ụlọ ekpere ahụ sị ya, “Atụla
egwu, naanị kwere.”
37 O kweghị ka onye ọbụla ọzọ soro ya ma ọ bụghị Pita, na Jemis na Jọn nwanne
Jemis. 38 Mgbe ha bịarutere n’ụlọ onyendu ụlọ ekpere ahụ, ọ nụrụ ụzụ hụkwa ọtụtụ
mmadụ ka ha nọ na-akwa akwa na-etikwa mkpu akwa. 39 Mgbe ọ batara, ọ sịrị ha,
“Gịnị mere unu ji na-akwa akwa na-etikwa mkpu akwa? Nwatakịrị a anwụghị anwụ,
ọ na-arahụ ụra!” 40 Ma ha chịrị ya ọchị.
Mgbe ọ chụpụsịrị ha niile n’ezi, ọ kpọọrọ nne na nna nwantakịrị ahụ, na ndị
ya na ha so, banye n’ime ụlọ ebe nwantakịrị ahụ dina. 41 O jidere ya n’aka sị ya,
*“Talita koum!”* (nke pụtara, “Nwa agbọghọ nta, asị m gị bilie!”). 42 Otu mgbe ahụ
nwaagbọghọ nta ahụ biliri ọtọ bido ijegharị (ọ gbara afọ iri na abụọ). Nke a jụrụ ha
niile anya nke ukwuu. 43 Ma ọ dọsiri ha aka na ntị ike, ka ha ghara ịgwa onye ọbụla
ihe mere. Ọ sịrị ha, “Nyenụ ya nri ka o rie.”

# 6

### *Onye amụma na-enweghị ugwu*

1 Ọ sitere n’ebe ahụ pụọ laghachi n’obodo nke a mụrụ ya. Ndị na-eso ụzọ ya sooro
ya gaa. 2 N’ụbọchị izuike, ọ banyere n’ụlọ ekpere bido izi ihe. Ozizi ya juru ọtụtụ
ndị gere ya ntị anya.
Ha kwuru sị, “Ebee ka nwoke si mụta ihe ndị a niile? Gịnịkwa bụ amamihe nke a
e nyere ya? Lekwa ọrụ ebube nke a ọ rụrụ? 3 Onye a ọ bụghị onye kapinta* ahụ? Ọ
bụghị nwa Meri, bụrụkwa nwanne Jemis, Josef,† Judas na Saimọn? Ụmụnne ya ndị
inyom ha esoghị anyị nọrọ n’ebe a?” Iwe were ha n’ebe ọ nọ.
4 Ma Jisọs zara ha sị, “Onye amụma adịghị enwe nsọpụrụ ọbụla n’obodo a mụrụ
ya, na n’etiti ndị ikwu ya na n’ezinaụlọ o siri pụta.” 5 Ọ rụghị ọrụ ebube ọbụla n’ebe
ahụ. Ihe o mere bụ naanị ibikwasị mmadụ ole na ole ahụ na-esighị ike aka n’isi gwọọ
ha. 6 Enweghị okwukwe ha juru ya anya.

### *Nzipụ ndị ozi iri na abụọ*

O jegharịkwara n’obodo nta niile gburugburu na-ezi ihe. 7 Ọ kpọrọ mmadụ iri na
abụọ ahụ na-eso ya, nye ha ikike zipụ ha, abụọ abụọ. O nyere ha ikike ịchụpụ mmụọ
na-adịghị ọcha.
8 Ndị a bụ iwu o nyere: “Unu ewerekwala ihe ọbụla maka njem a, karịkwa
mkpanaka. Unu ewela achịcha, maọbụ akpa, unu etinyela ego ọbụla n’ime belịt
unu. 9 Yirinụ akpụkpọụkwụ unu, unu eyikwala karịa otu uwe. 10 Mgbe ọbụla unu
banyere n’ụlọ ọbụla, nọgidenụ n’ebe ahụ ruo mgbe unu hapụrụ obodo ahụ. 11 Ma
ọ bụrụ na obodo ọbụla anabataghị unu maọbụ egeghị unu ntị, kụchapụnụ aja dị
n’ụkwụ unu mgbe unu na-apụ, ka ọ bụrụ ihe ama megide ha.”
12 Ha pụrụ kwusara ndị mmadụ ka ha chegharịa. 13 Ha chụpụrụ ọtụtụ mmụọ ọjọọ,
teekwa ọtụtụ ndị ahụ na-esighị ike mmanụ, gwọọ ha.

### *Ọnwụ Jọn omee baptizim*

14 Eze Herọd nụrụ akụkọ banyere ya, n’ihi na aha Jisọs aghọọla okwu a kpụ n’ọnụ.
Ụfọdụ na-asị, na ọ bụ “Jọn omee baptizim; na e meela ka o site na ndị nwụrụ anwụ
bilie. Ọ bụkwa nke a mere ka ike ọrụ ebube ji dị n’ime ya.”
15 Ndị ọzọ na-asị, “Ọ bụ Ịlaija.”
Ma ndị ọzọkwa kwuru na ọ bụ onye amụma dị ka otu n’ime ndị amụma mgbe
ochie.

---
* **6:3** 6:3 Onye ọkpọ ntu maọbụ onye ǹka † **6:3** 6:3 N’ime ụfọdụ akwụkwọ nsọ ị ga-ahụ Joses.

[16] Ma mgbe Herọd nụrụ nke a, ọ sịrị, “Jọn onye ahụ m bipụrụ isi, emeela ka ọ site
n’ọnwụ bilie!”
[17] N’ihi na Herọd n’onwe ya nyererị iwu ka e jide Jọn kee ya agbụ tụba ya n’ụlọ
mkpọrọ. O mere nke a n’ihi Herodịas bụrịị nwunye Filip nwanne ya, onye ọ kpọrọ
dịka nwunye ya. [18] N’ihi na Jọn gwara Herọd sị, “Ọ bụghị ihe ziri ezi n’iwu ka ị kpọrọ
nwunye nwanne gị nwoke.” [19] N’ihi ya Herodịas bu iro n’obi megide Jọn na-achọkwa
ụzọ igbu ya, mana ọ pụghị ime nke a, [20] n’ihi na Herọd na-atụ egwu ma na-echekwa
Jọn, ebe ọ maara na ọ bụ onye ezi omume na onye dị nsọ. Mgbe ọ nụrụ okwu ya, o
nweghị udo n’obi ma ige ya ntị na-amasị ya.
[21] N’ikpeazụ, ohere bịara mgbe Herọd kpọrọ oriri n’ụbọchị ncheta ọmụmụ ya nye
ndị ọkwa ha dị elu n’okpuru ọchịchị ya, ndịisi ndị ọchịagha na ndị bụ ndị ndu
n’obodo Galili. [22] Mgbe ada Herodịas bịara tee egwu, obi tọrọ Herọd na ndị niile ọ
kpọrọ oriri ụtọ.
Eze gwara nwaagbọghọ ahụ sị, “Rịọ m ihe ọbụla ị chọrọ aga m enyekwa gị ya.”
[23] O kwere ya nkwa ṅụọkwa iyi sị, “Ihe ọbụla ị rịọrọ m aga m enye gị, ọ bụladị ọkara
alaeze m.”
[24] Ọ jekwuru nne ya jụọ ya sị, “Gịnị ka m ga-arịọ?”
Ọ zara ya sị, “Isi Jọn omee baptizim.”
[25] Ngwangwa, ọ bịakwutere eze rịọ ya sị, “Achọrọ m ka i nye m, ugbu a, n’ime
efere, isi Jọn omee baptizim.”
[26] O wutere eze nke ukwuu, ma n’ihi iyi ọ ṅụrụ, na n’ihi ndị ọ kpọrọ oriri, ọ chọghị
ịjụ inye ya ihe ọ rịọrọ ya. [27] Ngwangwa o zipụrụ onye agha na-eche nche nye ya iwu
ka ọ gaa bute isi Jọn. Ọ gara, bipụ isi Jọn n’ụlọ mkpọrọ, [28] tinye isi ahụ n’ime efere
butere nwaagbọghọ ahụ onye nara ya bunye nne ya. [29] Mgbe ndị na-eso ụzọ ya nụrụ
nke a, ha bịara buru ozu ya gaa lie.

### *Jisọs enye puku mmadụ ise nri*

[30] Ndị ozi Jisọs gbara ya gburugburu kọọrọ ya ihe niile ha mere, na ihe niile ha
kuziri. [31] N’oge ahụ, n’ihi na ọtụtụ ndị mmadụ na-abịa na-apụkwa nke mere na ha
enweghị ohere iri nri, ọ sịrị ha, “Soronụ m, unu niile, ka anyị ga ebe dị jụụ, zuo ike
nwa oge nta.”
[32] Ya mere ha pụrụ baa n’ime ụgbọ mmiri gaa n’ebe ha ga-anọdụrụ naanị onwe
ha. [33] Ma ọtụtụ mmadụ ndị hụrụ ha mgbe ha na-apụ matara ha, sitekwara n’obodo
niile dị ebe ahụ gburugburu gbara ọsọ gbaruo ebe ahụ tupu ya na ndị na-eso ụzọ
ya abịaruo. [34] Mgbe o sitere n’ụgbọ mmiri rịdata, ọ hụrụ oke igwe mmadụ a ka ha
zukọrọ. O nwere ọmịiko n’ebe ha nọ, n’ihi na ha dị ka atụrụ na-enweghị onye na-azụ
ha. Ọ malitekwara izi ha ọtụtụ ihe.
[35] N’oge a, ọchịchịrị ebidola ịgba, n’ihi ya, ndị na-eso ụzọ ya bịara gwa ya, “Ebe
a bụ ọzara, chi ejiekwala. [36] Zilaga ndị a, ka ha gaa n’obodo nta ndị dị gburugburu
ebe a, zụtara onwe ha ihe ha ga-eri.”
[37] Ma ọ zara sị ha, “Nyenụ ha ihe ha ga-eri.”
Ha sịrị ya, “Anyị ga-eje ịzụta ogbe achịcha nke narị denarị‡ abụọ, iji nye ha ka ha
rie?”
[38] Ma ọ jụrụ ha sị, “Ogbe achịcha ole ka unu nwere? Gaanụ chọpụta.”
Mgbe ha chọpụtasịrị, ha sịrị, “Ogbe achịcha ise na azụ abụọ.”
[39] Mgbe ahụ o nyere ha iwu ka ha mee igwe mmadụ ahụ ka ha nọdụ ala n’otu n’otu
n’elu ahịhịa ndụ. [40] Ya mere, ha nọdụrụ ala, iri mmadụ ise n’otu ebe, narị mmadụ
n’ebe ọzọ. [41] Ọ naara ogbe achịcha ise na azụ abụọ ndị ahụ, welie anya ya elu, nye
ekele. Ọ nyawara achịcha ahụ nye ya ndị na-eso ụzọ ya ka ha kee ndị mmadụ ahụ.

‡ **6:37** 6:37 Otu denarị bụ ihe a na-akwụ dị ka ụgwọ ọrụ otu ụbọchị.

Otu aka ahụkwa ọ nyawakwara azụ abụọ ahụ nyekwa ha niile. 42 Ha niile riri rijuo
afọ. 43 Ha tụtụkọtara iberibe achịcha na azụ tụtụjuo nkata iri na abụọ. 44 Ọnụọgụgụ
ndị nwoke riri ogbe achịcha ahụ dị puku mmadụ ise.

### *Jisọs agaa ije n'elu mmiri*

45 Ngwangwa, o mere ka ndị na-eso ụzọ ya banye n'ụgbọ mmiri buru ya ụzọ gafee
n'ofe nke ọzọ nke osimiri Betsaida, ebe ya onwe ya nọdụrụ izilaga igwe mmadụ ahụ.
46 Mgbe ndị a niile lachara, ọ rigooro n'elu ugwu ikpe ekpere.
47 Mgbe uhuruchi bịara, ụgbọ mmiri ahụ nọ n'etiti osimiri, ma naanị ya onwe ya
nọ n'elu ala. 48 Mgbe ọ hụrụ na ha nọ na nsogbu n'ihi na ikuku na-emegide ha, n'ihe
dị ka elekere atọ nke ụtụtụ, o bidoro ịga ije n'elu mmiri ịbịakwute ha, ma o mere dị
ka ọ chọrọ ịgafe ha. 49 Ma mgbe ha hụrụ ya ka ọ na-aga ije n'elu osimiri, ha chere
na ọ bụ mmụọ, tie mkpu akwa. 50 N'ihi na ha niile hụrụ ya, oke ụjọ tụkwara ha.
Na-atụfughị oge, ọ gwara ha sị, "Nweenụ obi ike! Ọ bụ m. Unu atụla egwu."
51 Emesịa, ọ rịgokwuru ha n'ime ụgbọ mmiri ahụ, otu mgbe ahụ ikuku ahụ dara
juu. Ihe ndị a jukwara ha anya nke ukwuu. 52 Obi ha mechiri emechi n'ihi na ha
aghọtaghị ihe banyere ọrụ ebube ogbe achịcha ndị ahụ.

### *Ọgwụgwọ ọrịa na Genesaret*

53 Mgbe ha gafere n'ofe nke ọzọ, ha rutere n'ala Genesaret ebe ha kedoro ụgbọ ha.
54 Ma ngwangwa ha pụtara n'ụgbọ, ndị nọ n'ebe ahụ matara onye ọ bụ. 55 Ha gbaara
ọsọ gaa n'obodo nta niile dị ebe ahụ gburugburu butere ya ndị ọrịa n'ute ebe ọbụla
ha nụrụ na ọ nọ. 56 Ebe ọbụla ọ bara, n'obodo ukwu maọbụ na obodo nta, maọbụ
n'ubi, ndị mmadụ na-ebute ndị ọrịa nibe ha n'ahịa. Ha rịọrọ ya ka o kwere ka ha
metụ ọ bụladị ọnụnụ uwe ya aka; ndị niile metụrụ ya aka nwetara ọgwụgwọ.

# 7

### *Ihe dị ọcha na ihe na-adịghị ọcha*

1 Mgbe ndị Farisii na ụfọdụ ndị ozizi iwu sitere Jerusalem bịa gbara ya gburugburu,
2 ha hụrụ na ụfọdụ ndị na-eso ụzọ ya ji aka na-adịghị ọcha, ya bụ aka a na-akwọghị
akwọ, na-eri nri. 3 Ndị Farisii na ndị Juu niile adịghị eri nri ma ọ bụrụ na ha akwọghị
aka, n'ihi na ha na-ejigidesi aka ike n'ozizi na omenaala nke ndị okenye. 4 Mgbe
ọbụla ha si n'ahịa lọta, ha adịghị eri nri ma ọ bụghị ma ha sachara onwe ha. Ha
na-edebekwa ọtụtụ omenaala ndị ọzọ dị ka ịsacha iko, na ite mmiri na ketụlụ.*
5 Ya mere ndị Farisii na ndị ozizi iwu jụrụ ya sị, "Gịnị mere ndị na-eso ụzọ gị adịghị
ebi n'usoro omenaala ndị okenye. Karịa iji aka na-adịghị ọcha rie nri ha?"
6 Ọ sịrị ha, "Amụma ahụ Aịzaya buru banyere unu ndị ihu abụọ bụ eziokwu; dị ka
e dere ya sị,
" 'Ndị a ji egbugbere ọnụ ha na-asọpụrụ m,
ma obi ha dị anya n'ebe m nọ.
7 Ofufe ha na-efe m bụ ihe efu,
ozizi ha bụkwa ihe mmadụ nyere n'iwu.'†
8 Unu atụfuola iwu Chineke ma jidesiekwa aka ike n'omenaala nke mmadụ."
9 Ma ọ gwakwara ha sị, "Unu nwere ụzọ dị mma n'anya unu nke unu ji wezuga iwu
Chineke ma were omenaala unu dochie n'ọnọdụ ya. 10 N'ihi na Mosis sịrị, 'Sọpụrụ
nne gị na nna gị,'‡na, 'onye ọbụla kwujọrọ nne maọbụ nna ya ka e gbuo ya.'§ 11 Ma
unu na-asị, na ọ bụrụ na mmadụ asị nne ya maọbụ nna ya, 'Ihe ọbụla bụ nke ị gara
erite n'aka m bụ kọban,' (nke pụtara onyinye dịrị Chineke).* 12 N'ụzọ dị otu a, unu

---

* **7:4** 7:4 N'ime ụfọdụ akwụkwọ mgbe ochie ị ga-ahụta ma ihe ndina. † **7:7** 7:7 Aịz 29:13 ‡ **7:10** 7:10 Ọpụ 20:12; Dit 5:16 § **7:10** 7:10 Ọpụ 21:17; Lev 20:9 * **7:11** 7:11 Nke a adịghị n'iwu Chineke nyere.

na-akwagide ndị mmadụ ka ha hapụ inyere nne na nna ha aka. 13 N'ụzọ dị otu a,
unu na-eme okwu Chineke ka ọ bụrụ ihe efu, site n'omenaala unu nke unu nyefere
n'aka ndị ọzọ. Ọ dịkwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ dị ka nke a unu na-eme."
14 Ọzọkwa, ọ kpọrọ igwe mmadụ ahụ sị ha, "Geenụ m ntị onye ọbụla, ma
ghọtakwanụ nke a. 15 Ọ dịghị ihe ọbụla banyere n'ime mmadụ pụrụ imerụ mmadụ,
kama ihe na-emerụ mmadụ bụ ihe ahụ na-esite n'ime ya na-apụta." 16 Onye ọbụla
nwere ntị ịnụ ihe, ya nụrụ.†
17 Mgbe ọ hapụrụ igwe ndị mmadụ ahụ banye n'ime ụlọ, ndị na-eso ụzọ ya jụrụ ya
maka ilu a. 18 Ọ sịrị ha, "Unu ọ ka dị ka ndị na-enweghị nghọta? Ọ bụ unu aghọtaghị
na ihe ọbụla banyere n'ime mmadụ apụghị imerụ ya. 19 N'ihi na ihe dị otu a anaghị
abanye n'obi ha, kama ọ na-abanye n'ime afọ ha, si n'ebe ahụ a nyụpụ ya n'ụlọ nsị."
(Site n'ikwu otu a, o mere ka ihe oriri niile dị ọcha.)
20 Ọ sịkwara, "Ọ bụ ihe sitere n'ime mmadụ pụta na-emerụ ya. 21 N'ihi na ọ bụ
n'ime obi mmadụ ka echiche ọjọọ niile si apụta, ya na ịkwa iko niile dị iche iche, izu
ohi, igbu mmadụ, 22 ịkwa iko nke ndị nwere di na nwunye, ọchịchọ ịdọtara onwe gị
ihe ndị ọzọ nwere, ekworo, aghụghọ niile, adịghị ọcha niile, inwe anya ụfụ n'ebe ndị
ọzọ nọ, nkwulu niile, nganga na enweghị uche ọbụla. 23 Ihe ọjọọ ndị a niile na-esite
n'ime mmadụ a pụta. Ha bụkwa ihe na-emerụ mmadụ."

### *Okwukwe nwanyị Siria*

24 Ọ hapụrụ ebe ahụ gaa n'akụkụ obodo Taịa.‡ N'ebe ahụ ọ banyere n'ime otu ụlọ.
Ma o nwekwaghị ike izo onwe ya, n'agbanyeghị na ọ chọghị ka a mata na ọ nọ ebe
ahụ. 25 Ngwangwa, otu nwanyị nwere otu nwa nwanyị ntakịrị nke mmụọ na-adịghị
ọcha bi n'ime ya nụrụ maka ya, ọ bịara daa n'ụkwụ ya. 26 Nwanyị a bụ onye Griik
a mụrụ n'akụkụ Sairo-Fonisia. Ọ rịọrọ ya ka ọ chụpụrụ ya mmụọ ọjọọ ahụ bi n'ime
nwa ya nwanyị.
27 Ọ sịrị ya, "Hapụ ka ụmụntakịrị buru ụzọ rie ihe, n'ihi na o zighị ezi na a ga-ewere
nri ụmụntakịrị tụpụrụ nkịta."
28 Ma ọ zaghachiri ya sị, "Onyenwe m, ma ụmụ nkịta na-erikwa iberibe nri
ụmụntakịrị si na tebul tụpụ n'ala."
29 Mgbe ahụ, ọ sịrị ya, "Nwanyị, ị zara nke ọma, n'ihi ọsịsa gị, laa, mmụọ ọjọọ ahụ
ahapụla nwa gị nwanyị ugbu a."
30 Ọ laghachiri n'ụlọ ya, hụ nwantakịrị ahụ ka o dina n'elu ihe ndina, mmụọ ọjọọ
ahụ apụọkwala.

### *Ọgwụgwọ onye ntị chiri na onye ogbu*

31 Emesịa, ọ hapụrụ akụkụ Taịa gabiga Saịdọn bịaruo n'osimiri Galili ruo n'obodo
ndị dị na Dekapọlịs. 32 Ha duteere ya otu nwoke ntị chịrị, nke na-asụkwa oke nsụ.
Ha rịọrọ ya ka o bikwasị ya aka.
33 O duuru ya pụọ n'ebe igwe mmadụ ahụ nọ, rụnye ya mkpịsịaka n'ime ntị ya
abụọ. Mgbe ahụ ọ gbụpụkwara ọnụ mmiri metụkwa ya aka n'ire. 34 O leliri anya
n'eluigwe sụọ ude sị ya, *"Ef fata,"* nke pụtara "Meghee!" 35 Ngwangwa, ntị ya
meghere, a tọpụkwara ire ya, ọ malite ikwu okwu nke ọma.
36 Jisọs nyere ha iwu ka ha ghara ịgwa onye ọbụla, ma mgbe ọ na-eme nke a ha
gara n'ihu na-akọsa ya ebe niile. 37 Ọ tụrụ ha n'anya nke ukwuu, ha kwuo sị, "O
meela ihe niile nke ọma. Ọ na-eme ka ọ bụladị ndị ntị chiri nụ ihe, ma mee ka ndị
ogbi kwuo okwu."

---

† **7:16** 7:16 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye okwu ndị a dị isi 4 n'amaokwu nke 23. ‡ **7:24** 7:24 N'akwụkwọ ochie ụfọdụ i ga-ahụ Taịa na Saịdọn.

# 8

*Jisọs enye puku mmadụ anọ nri*

1 N’oge ahụ, igwe mmadụ ọzọ zukọrọ. Ebe ha na-enweghị ihe ha ga-eri, ọ kpọrọ
ndị na-eso ụzọ ya sị ha, 2 “Enwere m ọmịiko n’ebe igwe mmadụ ndị a nọ. Nke a
na-eme ya ụbọchị atọ anyị na ha nọ. Ugbu a, ha enweghị ihe ha ga-eri. 3 Ọ bụrụ na
m ezilaga ha n’ụlọ ha, ụfọdụ n’ime ha ga-ada n’ụzọ n’ihi agụụ. N’ihi na ụfọdụ ha si
n’ebe dị anya bịa.”
4 Ndị na-eso ụzọ ya zara ya, “Ebee ka mmadụ ga-achọta achịcha ga-ezuru ndị a
n’ime ọzara a?”
5 Jisọs jụrụ ha sị, “Ogbe achịcha ole ka unu nwere?”
Ha zara sị, “Asaa.”
6 Ọ gwara igwe mmadụ ahụ ka ha nọdụ ala. O weere ogbe achịcha asaa ahụ kpee
ekpere. Ọ nyawasịrị ha, nye ha ndị na-eso ụzọ ya ka ha kee igwe mmadụ ahụ niile.
Ha kekwara ya nye igwe mmadụ ahụ. 7 Ha nwekwara azụ ole na ole. O weere ya kpee
ekpere, ọ gwara ha ka ha kesaakwa ya. 8 Ha riri, rijuo afọ. Ha tụtụkọtara iberibe
achịcha dafuru n’ebe ndị a nọ rie nri. Ha tụtụjuru nkata asaa. 9 Ndị riri nri a ruru
ihe dịka puku mmadụ anọ. Mgbe ahụ o zilagara ha. 10 Ngwangwa, ya na ndị na-eso
ụzọ ya banyere n’ụgbọ mmiri gaa n’akụkụ obodo Dalmanuta.
11 Ndị Farisii bịakwutere ya malite nrụrịta ụka, na-achọ ihe ịrịbama si n’eluigwe,
iji nwalee ya. 12 Ọ sụrụ ude nke ukwuu n’ime onwe ya sị, “Gịnị mere ọgbọ a ji achọ
ihe ịrịbama? N’ezie, n’ezie, agwa m unu, o nweghị ihe ịrịbama a ga-egosi ọgbọ a.”
13 Ọ hapụrụ ha n’ebe ahụ banyekwa n’ụgbọ mmiri ọzọ, ịgafe n’ofe ọzọ nke osimiri
ahụ.

*Ihe na-eko achịcha nke ndị Farisii na Herọd*

14 Ndị na-eso ụzọ ya chefuru iwere achịcha. Ọ bụ naanị otu ogbe achịcha fọdụụrụ
ha n’ime ụgbọ. 15 Ọ dọrọ ha aka na ntị sị, “Kpacharanụ anya. Lepụnụ anya maka
ihe na-eko achịcha ndị Farisii na nke Herọd.”
16 Ha kparịtara ụka n’etiti onwe ha na-asị, “Ọ bụ n’ihi na anyị enweghị achịcha.”
17 Mgbe Jisọs ghọtara isi mkparịta ụka ha, ọ jụrụ ha sị, “Gịnị mere unu ji na-ekwu
okwu maka enweghị achịcha? Ọ pụtara na unu adịghị ahụ maọbụ aghọta? Obi unu
o siri ike? 18 Unu nwere anya nke na-adịghị ahụ ụzọ? Unu nwere ntị ma unu adịghị
anụ ihe? Ọ ga-abụ na unu adịghị echeta? 19 Mgbe m ji ogbe achịcha ise zụọ puku
mmadụ ise, iberibe achịcha juru nkata ole ka unu tụtụkọtara?”
Ha zara sị ya, “Nkata iri na abụọ.”
20 “Mgbe m ji ogbe achịcha asaa zụọ puku mmadụ anọ, iberibe achịcha juru nkata
ole ka unu tụtụkọtara?”
Ha zara sị ya, “Nkata asaa.”
21 Ọ sịrị ha, “Unu ka nọ na-enweghị nghọta?”

*Jisọs agwọọ onye ìsì na Betsaida*

22 Mgbe ha ruru Betsaida, ụfọdụ mmadụ kpọtaara ya otu onye ìsì rịọọ ya ka o metụ
ya aka, 23 Ọ duuru onye ìsì ahụ n’aka pụọ n’azụ obodo. Mgbe ahụ, ọ gbụsara ọnụ
mmiri n’anya ya metụkwa ya aka n’anya. Ọ jụrụ ya sị, “Ị na-ahụ ihe ọbụla?”
24 Nwoke ahụ leliri anya elu ma sị, “Ana m ahụ ndị mmadụ ma ha dị ka osisi
na-agagharị agagharị.”
25 Nke ugboro abụọ Jisọs metụkwara ya aka n’anya, mgbe ahụ anya ya meghere.
O bidoro ịhụ ihe niile nke ọma. 26 Ọ zilagara ya ụlọ ya sị ya, “Abanyekwala n’ime
obodo.”

*Ọgbụgba ama Pita banyere Kraịst*

27 Mgbe ahụ Jisọs na ndị na-eso ụzọ ya gara n'obodo nta ndị ọzọ dị gburugburu
Sizaria Filipai. Mgbe ha na-aga n'ụzọ, ọ jụrụ ndị na-eso ụzọ ya sị, "Onye ka ndị
mmadụ na-asị na m bụ?"
28 Ha zara ya sị, "Ụfọdụ na-asị na ị bụ Jọn omee baptizim, ndị ọzọkwa sị na ị bụ
Ịlaịja maọbụ otu n'ime ndị amụma."
29 Ma ọ jụrụ ha sị, "Ma unu onwe unu, ọ bụ onye ka unu na-asị na m bụ?"
Pita zara sị, "Ị bụ Kraịst* ahụ."
30 Ọ dọrọ ha aka na ntị sị ha agwakwala onye ọbụla ihe banyere ya.

*Jisọs ekwuo okwu ọnwụ ya*

31 Emesịa, o bidoro izi ha ihe na Nwa nke Mmadụ aghaghị ịhụ ọtụtụ ahụhụ dị iche
iche, ndị okenye, na ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu ga-ajụ ya, na aghaghị igbu ya,
ma ọ ga-ebili n'ọnwụ mgbe ụbọchị nke atọ gasịrị. 32 Ọ gwaghere ha ihe ndị a ọnụ.
Ma Pita kpọọrọ ya pụọ n'otu akụkụ, bido ịbara ya mba.
33 Ma ọ tụgharịrị lee ndị na-eso ụzọ ya anya, baara Pita mba sị ya, "Si n'ebe m nọ
pụọ ekwensu! Ihe ị na-eche echiche ya abụghị uche Chineke, ha bụ echiche mmadụ."

*Ihe ọ ga-efu iso Jisọs*

34 Mgbe ahụ, ọ kpọrọ ndị na-eso ụzọ ya na igwe mmadụ ahụ. Ọ gwara ha sị, "Ọ
bụrụ na onye ọbụla achọọ iso m, ya gụọ ndụ ya dị ka ihe furu efu. Mgbe ahụ, ya buru
obe ya soro m n'azụ. 35 N'ihi na onye na-azọ ndụ ya ka ọ ga-efunarị, ma onye ọbụla
gụrụ ndụ ya dị ka ihe furu efu n'ihi m, na n'ihi oziọma m, ga-azọpụta ya. 36 Uru
gịnị ka ọ ga-abara mmadụ, iritecha ụwa niile n'uru ma tufuo ndụ ha? 37 Ọ dị ihe ọzọ
dị n'ụwa mmadụ nwere ike iji gbanwere ndụ ya? 38 Ọ bụrụ na ihere na-eme onye
ọbụla n'ihi m na n'ihi okwu m n'ụwa ọjọọ a, na n'ụwa mmehie a, ihere onye ahụ
ga-emekwa Nwa nke Mmadụ, mgbe ọ ga-abịaghachi n'ebube nke Nna ya, ya na ndị
mmụọ ozi dị nsọ."

# 9

1 Ma ọ gwara ha sị, "N'ezie asị m unu, ụfọdụ n'ime ndị guzo n'ebe a, agaghị edetụ
ọnwụ ire tupu ha ahụ alaeze Chineke mgbe ọ ga-abịa n'ike."

*Nnwogha Jisọs*

2 Mgbe ụbọchị isii gasịrị, Jisọs kpọọrọ Pita na Jemis na Jọn, duru ha rigoro n'elu
ugwu dị elu. N'ebe ahụ ka ha nọdụrụ naanị ha. N'ebe ahụ, a gbanwere ọdịdị ya
n'ihu ha. 3 Uwe ya na-enwu ọcha karịa ụdị ọcha ọbụla anya hụrụla. Ọ dịkwa ọcha
karịa nke onye ọbụla n'ụwa nwere ike ime ka ihe dị ọcha. 4 Ha hụrụ Ịlaịja na Mosis
ka ha pụtara soro Jisọs na-ekwu okwu.
5 Pita gwara Jisọs sị, "Onye ozizi, ọ dị mma ka anyị nọdụ n'ebe a. Ka anyị wuo ụlọ
ikwu atọ. Otu ga-abụ nke gị, otu a bụrụ nke Mosis, nke ọzọkwa a bụrụ nke Ịlaịja."
6 (Ọ makwaghị ihe ọ ga-ekwu n'ihi na oke egwu tụrụ ha.)
7 Mgbe ahụ, igwe ojii pụtara kpuchie ha. Olu sitere n'igwe ojii ahụ daa sị, "Onye a
bụ Ọkpara m, onye m hụrụ n'anya. Geenụ ya ntị."
8 Na mberede, mgbe ha lere anya gburugburu, ọ dịkwaghị onye ọzọ ha hụrụ, karịa
naanị Jisọs.

*Ajụjụ banyere Ịlaịja*

9 Mgbe ha si n'elu ugwu ahụ na-arịdata, Jisọs nyere ha iwu ka ha ghara ịgwa onye
ọbụla ihe ha hụrụ, tutu ruo mgbe Nwa nke Mmadụ ga-esi n'ọnwụ bilie. 10 Ha zobere
ihe a n'etiti onwe ha, na-ekwurịtara okwu na-atule ihe isi n'ọnwụ bilie pụtara.
11 Ma ha jụrụ ya sị, "Gịnị mere ndị ozizi iwu jiri sị na Ịlaịja aghaghị ibu ụzọ bịa?"

* **8:29** 8:29 Maọbụ, Onye nzọpụta.

12 Ọ gwara ha sị, "Ọ bụ ezie, Ịlaịja ga-ebu ụzọ bịa, na-emekwa ka ihe dị ka ọ dị
na mbụ. Ma gịnị mere e jiri dee na Nwa nke Mmadụ ga-ahụ ọtụtụ ahụhụ, bụrụkwa
onye a jụrụ ajụ? 13 Ka m gwa unu, Ịlaịja abịalarị. Ma ha mesokwara ya mmeso otu
ha chọrọ dị ka e dere banyere ya."

*Jisọs agwọọ nwa mmụọ ọjọọ bi n'ime ya*

14 Mgbe ha bịarutere n'ebe ndị na-eso ụzọ ya nọ, ha hụrụ oke igwe mmadụ ka
ha gbara ha gburugburu, hụkwa ụfọdụ ndị ozizi iwu ka ha na ha na-arụrịta ụka.
15 Ngwangwa, mmadụ ahụ niile hụrụ ya, ụdịdị ya juru ha anya. Ha gbaara ọsọ gaa
kelee ya.
16 Ọ jụrụ ha sị, "Unu na ha ọ na-arụrịta ụka banyere gịnị?"
17 Otu onye n'ime igwe mmadụ ahụ zara ya sị, "Onye ozizi akpọtaara m gị nwa
m nwoke, nke mmụọ ọjọọ bi n'ime ya, nke mekwara ka ọ daa ogbi. 18 Mgbe ọbụla
mmụọ ọjọọ ahụ malitere isogbu ya, ọ na-atụda ya n'ala. Mgbe ahụ, ọ na-agbọ ụfụfụ
n'ọnụ ya, na-ata ikikere eze, anụ ahụ ya na-esikwa ike. Arịọrọ m ndị na-eso ụzọ gị
ka ha chụpụ mmụọ ọjọọ a, ma ha enweghị ike."
19 Ọ zaghachiri ha sị, "Unu ọgbọ na-enweghị okwukwe. Ruo ole mgbe ka mụ na
unu ga-anọ? Ruo ole mgbe ka m ga-anagide unu? Kpọtaranụ m ya!"
20 Ya mere, ha kpọtaara ya nwata ahụ. Mgbe mmụọ ọjọọ ahụ hụrụ ya, ngwangwa,
o nughariri nwata ahụ nke ukwuu, ọ daa n'ala na-atụrụ onwe ya n'ala, na-agbọkwa
ụfụfụ n'ọnụ ya.
21 Jisọs jụrụ nna nwata ahụ sị, "Olee mgbe ihe a bidoro?"
Ọ zara sị, "Site na mgbe ọ bụ nwata nta. 22 Ọ na-eme ya ka ọ daba n'ọkụ, maọbụ na
mmiri, ka ọ laa ya n'iyi. Ọ bụrụ na ọ dị ihe i nwere ike ime, biko meere anyị ebere,
nyere anyị aka."
23 Jisọs sịrị ya, " 'Ọ bụrụ na i nwere ike'? Ihe niile pụrụ ime n'ebe onye kwere ekwe
nọ."
24 Ngwangwa, nna nwata ahụ tiri mkpu sị, "Ekweere m, biko nyere ekweghị ekwe
m aka!"
25 Mgbe Jisọs hụrụ na igwe mmadụ na-agba ọsọ na-abịa n'ebe ahụ, ọ baara mmụọ
ahụ na-adịghị ọcha mba sị, "Gị mmụọ ọjọọ ntị ike na ịda ogbi, ana m enye gị iwu,
site n'ime nwata a pụta! Abanyekwala n'ime ya ọzọ!"
26 O tiri mkpu n'oke olu, nugharịa nwata ahụ nke ukwuu ma site n'ime ya pụta.
Nwata ahụ tọgbọrọ n'ala dị ka onye nwụrụ anwụ nke mere na ndị niile nọ n'ebe ahụ
sịrị, "Ọ nwụọla!" 27 Ma Jisọs jidere ya n'aka selite ya elu, mee ka o guzo n'ụkwụ ya.
O guzokwara.
28 Ma mgbe ọ banyere n'ime ụlọ ndị na-eso ụzọ ya jụrụ ya na nzuzo sị, "Gịnị mere
o jiri siere anyị ike ịchụpụ ya?"
29 Ọ sịrị ha, "Ọ bụ naanị site n'ike ekpere ka a pụrụ ịchụpụ ụdị a."*

*Jisọs ekwuokwa okwu ọzọ banyere ọnwụ ya*

30 Ha siri n'ebe ahụ pụọ gafee Galili. Ọ chọghị ka onye ọbụla mata maka ya, 31 n'ihi
na ọ na-ezi ndị na-eso ụzọ ya ihe. Ọ sịrị ha, "A ga-arara Nwa nke Mmadụ nye n'aka
ụmụ mmadụ, ha ga-egbukwa ya ma ọ ga-ebili n'ọnwụ mgbe mkpụrụ ụbọchị atọ
gasịrị." 32 Ma ha aghọtaghị ihe ọ na-agwa ha. Egwu tụkwara ha ị jụ banyere ya.

*Onye kachasị ukwuu*

33 Emesịa, ha bịaruru Kapanọm. Mgbe ọ banyere n'ụlọ, ọ jụrụ ha sị, "Gịnị ka unu
na-arụrịta ụka banyere ya n'okporoụzọ?" 34 Ma ha gbara nkịtị, n'ihi na ha rụrịtara
ụka n'okporoụzọ banyere onye dị ukwuu karịa ibe ya.

---

* **9:29** 9:29 Akwụkwọ ochie ndị ọzọ na-edenye, na-ibu ọnụ.

35 Ọ nọdụrụ ala kpọọ mmadụ iri na abụọ ahụ, sị ha, “Ọ bụrụ na onye ọbụla chọrọ
ịbụ onye mbụ, ọ ghaghị ịbụ onye ikpeazụ, bụrụkwa onye na-ejere mmadụ niile ozi.”
36 Mgbe ahụ o kuuru otu nwantakịrị mee ka o guzoro n’etiti ha. O kuuru nwata
ahụ n’aka ya sị ha, 37 “Onye ọbụla nabatara otu n’ime ụmụntakịrị ndị a n’aha m, na-
anabata m. Ma onye ọbụla nabatara m, ọ bụghị m ka ọ nabatara, kama ọ na-anabata
onye zitere m.”

*Onye na-emegideghị anyị dịnyeere anyị*

38 Jọn sịrị ya, “Onye ozizi, anyị hụrụ otu onye na-achụpụ mmụọ ọjọọ n’aha gị, ma
anyị gbalịrị igbochi ya n’ihi na ọ bụghị otu onye n’ime anyị.”
39 Ma Jisọs gwara ha sị, “Unu egbochila ya, n’ihi na onye ọbụla ji aha m na-arụ ọrụ
ebube agaghị ekwu okwu ọjọọ megide m. 40 N’ihi na onye ọbụla na-adịghị emegide
anyị dịnyeere anyị. 41 N’eziokwu asị m unu, onye ọbụla ga-ekunye unu otu iko mmiri
n’aha m, n’ihi na unu bụ ndị nke Kraịst, ga-anatakwa ụgwọ ọrụ ya.

*Iduba na mmehie*

42 “Ọ bụrụkwa na onye ọbụla emee ka otu n’ime ndị a dị nta kweere na m jehie,
ọ ga-akara onye ahụ mma ma ọ bụrụ na e kenyere nkume igwe nri buru ibu n’olu
ya, tụnye ya n’ime oke osimiri. 43 Ọ bụrụ na aka gị na-eme ka i jehie, gbupụ ya. Ọ
ga-akara gị mma inwe ọrụsị baa na ndụ karịa inwe aka abụọ banye n’ọkụ ala mmụọ,
ebe ọkụ ya na-adịghị anyụ anyụ; 44 ebe
“ ‘ikpuru ya na-adịghị anwụ anwụ,
ọkụ ya adịghị anyụkwa anyụ.’†
45 Ọ bụrụ na ụkwụ gị na-eme ka i jehie, gbupụ ya, tufukwaa ya, n’ihi na ọ ga-akara
gị mma ịba na ndụ na ngwụrọ karịa inwe ụkwụ abụọ a tụnye gị n’ọkụ ala mmụọ;
46 ebe
“ ‘ikpuru ya na-adịghị anwụ anwụ,
ọkụ ya adịghị anyụkwa anyụ.’‡
47 Ọ bụrụ na anya gị na-eme ka i jehie, ghụpụ ya. Ọ ga-akara gị mma na i nwere otu
anya baa n’alaeze Chineke, karịa inwe anya abụọ a tụnye gị n’ọkụ ala mmụọ, 48 ebe
“ ‘ikpuru ya na-adịghị anwụ anwụ,
ọkụ ya adịghị anyụkwa anyụ.’§
49 A ga-eji ọkụ nụchaa onye ọbụla dị ka nnu.
50 “Nnu dị mma, ma ọ bụrụ na ọ dịghị atọkwa ụtọ, olee ka ị ga-esi mee ka ọ tọọ
ụtọ ọzọ? Ya mere, nweenụ nnu n’ime onwe unu. Unu na ibe unu biri n’udo.”

# 10

*Ozizi banyere ịgba alụkwaghị m*

1 Ọ hapụrụ ebe ahụ gaa n’obodo ndị dị na mpaghara Judịa ma gafeekwa n’ofe
Jọdan. Igwe mmadụ bịakwutekwara ya, ọzọ, dị ka o si emekwa, o ziri ha ihe.
2 Ụfọdụ ndị Farisii bịara, ma n’ihi ị nwalee ya, ha jụrụ ya sị, “O ziri ezi n’iwu ka
nwoke gbaa nwunye ya alụkwaghị m?”
3 Ma ọ zara ha sị, “Gịnị ka Mosis nyere unu n’iwu?”
4 Ha sịrị, “Mosis kwenyere ka nwoke dee asambodo alụkwaghị m, nye nwunye ya
ma zilaga ya.”
5 Jisọs sịrị ha, “Ọ bụ n’ihi na obi unu siri ike nke ukwuu ka o ji deere unu iwu a.
6 Ma na mmalite nke okike ụwa, Chineke ‘kere ha nwoke na nwanyị.’* 7 ‘N’ihi nke a
ka nwoke ga-eji hapụ nne ya na nna ya e jikọta ya na nwunye ya. 8 Ha abụọ ga-abụ

† **9:44** 9:44 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye okwu ndị a dị n’amaokwu nke 48. ‡ **9:46** 9:46 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye okwu ndị a dị n’amaokwu nke 48. § **9:48** 9:48 Aịz 66:24 * **10:6** 10:6 Jen 1:27

otu anụ ahụ.’†Ya mere, ha abụkwaghị mmadụ abụọ ọzọ, kama otu anụ ahụ. 9 Ya
mere, ihe Chineke jikọtara, ka mmadụ ọbụla atọsala ya.”
10 Mgbe ha banyere n’ụlọ, ndị na-eso ụzọ ya jụrụ ya ọzọ ihe banyere okwu a. 11 Ọ
sịrị ha, “Onye ọbụla gbara nwunye ya alụkwaghị m ma lụrụ nwanyị ọzọ na-eme
mmehie ịkwa iko megide ya. 12 Ma ọ bụrụ na nwanyị ọbụla agbaa dị ya alụkwaghị
m ma lụrụ nwoke ọzọ, ọ na-emekwa mmehie ịkwa iko.”

### *Jisọs na ụmụntakịrị*

13 Ndị mmadụ na-ekutere ya ụmụntakịrị ka o metụ ha aka, ma ndị na-eso ụzọ ya
baara ha mba. 14 Ma mgbe Jisọs hụrụ nke a, iwe were ya nke ukwuu, ọ sịrị ha,
“Hapụnụ ụmụntakịrị ka ha bịakwute m. Unu egbochikwala ha. N’ihi na alaeze
Chineke bụ nke ndị dị otu a. 15 N’eziokwu asị m unu, onye ọbụla nke na-agaghị
anabata alaeze Chineke dị ka nwantakịrị agaghị aba n’ime ya.” 16 Mgbe ahụ, o kuuru
ha n’aka ya, bikwasị ha aka ya abụọ ma gọzie ha.

### *Onye Ọgaranya na Alaeze Chineke*

17 Mgbe ọ na-ebili njem, otu nwoke gbaara ọsọ bịa gbuo ikpere n’ihu ya. Ọ jụrụ ya
sị, “Ezi onye ozizi ọma, gịnị ka m ga-eme ka m keta ndụ ebighị ebi?”
18 Jisọs sịrị ya, “Gịnị mere i ji akpọ m ezi mmadụ? Ọ dịghị onye ọbụla bụ ezi mmadụ
ma ọ bụghị naanị Chineke. 19 Ị maara ihe niile enyere n’iwu: ‘Egbula mmadụ, a kwala
iko, e zula ohi, a gbala ama ụgha, a ghọgbula mmadụ ibe gị, sọpụrụ nne na nna gị.’‡”
20 Ọ sịrị ya, “E, onye ozizi, Edebezuchaala m ha niile siterị na mgbe m bụ nwata.”
21 Jisọs lere ya anya, hụ ya n’anya. Mgbe ahụ, ọ gwara ya sị, “Ọ fọdụrụ naanị otu
ihe ị ga-eme. Laa, ugbu a, ree ihe niile i nwere, nyekwa ndị ogbenye ego i retara. I
mesịa nke a, ị ga-enwe akụ n’eluigwe. Mgbe ahụ bịaghachi soro m.”
22 Mgbe ọ nụrụ okwu a, ihu ya gbarụrụ. O sitere n’ebe ahụ pụọ na mwute, n’ihi
na ọ bụ ọgaranya nke nwere ọtụtụ akụnụba.
23 Jisọs legharịrị anya gwa ndị na-eso ụzọ ya sị, “Lee ka o si bụrụ ihe rara ahụ na
onye ọgaranya ga-abanye n’alaeze Chineke.”
24 Okwu ya tụrụ ndị na-eso ụzọ ya n’anya, ma Jisọs gwakwara ha ọzọ sị,
“Ụmụntakịrị, ọ bụ nnọọ ihe rara ahụ ịbanye n’alaeze Chineke. 25 Ọ dịrị ịnyịnya
kamel mfe isite n’anya agịga gafee, karịa onye ọgaranya ịbanye n’alaeze Chineke.”
26 Okwu a jubigara ha anya oke. Ha jụrịtara ibe ha sị, “Onye kwanụ ka a ga-
azọpụta?”
27 Ma Jisọs lere ha anya sị ha, “N’ebe mmadụ nọ, ọ bụ ihe rara ahụ. Ma n’ebe
Chineke nọ, ihe niile dị mfe. Ọ dịghị ihe rara Chineke ahụ ime.”
28 Pita malitere ịgwa ya sị, “Anyị ahapụla ihe niile soro gị!”
29 Jisọs sịrị, “N’ezie, n’ezie, agwa m unu, ọ dịghị onye ọbụla hapụrụ ụlọ ya, maọbụ
ụmụnne ya ndị nwoke, maọbụ ụmụnne ya ndị nwanyị, maọbụ nne ya, maọbụ nna
ya, maọbụ ụmụntakịrị ya, maọbụ ala ubi ya n’ihi m, na n’ihi oziọma a, 30 nke na-
agaghị anataghachikwa n’ụwa a, ụlọ, ụmụnne ndị nwoke, ụmụnne ndị nwanyị, nne,
ụmụaka na ala ubi, tinyere mkpagbu, ihe ruru okpukpu narị karịa ihe niile nke ọ
hapụrụ. Ọ ga-anatakwa ndụ ebighị ebi n’ụwa ọzọ. 31 Ma ọtụtụ ndị bu ụzọ ga-abụ
ndị ikpeazụ, ma ọtụtụ ndị ikpeazụ ga-abụkwa ndị bu ụzọ.”

### *Okwu ọzọ Jisọs kwuru banyere ọnwụ ya*

32 Ha nọ n’ụzọ na-aga Jerusalem, ma Jisọs nọ n’ihu ha, nke a juru ndị na-eso ụzọ
ya n’anya. Otu a kwa, ndị mmadụ niile na-abịa ha n’azụ tụkwara egwu. Ọzọkwa, ọ
kpọpụrụ mmadụ iri na abụọ ahụ n’akụkụ, malite ịgwa ha ihe gaje ịdakwasị ya. 33 Ọ
sịrị, “Leenụ, anyị na-aga Jerusalem, ebe a ga-arara Nwa nke Mmadụ nyefee n’aka

† **10:8** 10:8 Jen 2:24 ‡ **10:19** 10:19 Ọpụ 20:12-16; Dit 5:16-20

ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu. Ha ga-ama ya ikpe ọnwụ, nyefekwa ya n'aka ndị
mba ọzọ. 34 Ha ga-akwa ya emo, gbụsakwa ya ọnụ mmiri asụ, pịa ya ihe ma gbukwaa
ya. Ma mgbe ụbọchị atọ gasịrị, ọ ga-esite n'ọnwụ bilie."

### *Arịrịọ Jemis na Jọn*

35 Jemis na Jọn ụmụ Zebedi bịakwutere ya. Ha sịrị ya, "Onye ozizi, anyị chọrọ ka
i meere anyị ihe ọbụla anyị rịọrọ."
36 Ọ sịrị ha, "Gịnị ka unu chọrọ ka m meere unu?"
37 Ha sịrị ya, "Kwere ka otu onye n'ime anyị nọrọ n'aka nri gị, onye nke ọzọ n'aka
ekpe gị n'ime ebube gị."
38 Ma Jisọs sịrị ha, "Unu amataghị ihe unu na-arịọ. Unu pụrụ ịṅụ iko ahụ mụ onwe
m ga-aṅụ maọbụ bụrụ ndị a ga-eme ụdị baptizim a ga-eme m?"
39 Ha zaghachiri ya, "Anyị pụrụ."
Jisọs sịrị ha, "Unu ga-aṅụ iko m ga-aṅụ, a ga-emekwa unu baptizim nke a ga-eme
m. 40 Ma ịnọdụ n'aka nri m maọbụ n'aka ekpe m abụghị ihe dịrị m inye, kama ọnọdụ
ndị a dịịrị ndị a kwadooro ha."
41 Mgbe mmadụ iri ndị ọzọ nụrụ nke a, iwe jupụtara ha obi n'ihi Jemis na Jọn.
42 Ma Jisọs kpọkọtara ha niile sị ha, "Dị ka unu onwe unu maara, ndị eze nke ndị
mba ọzọ, na ndị a maara aha ha, na-eji aka ike na-achị ndị nọ n'okpuru ha. 43 Ma
n'etiti unu ọ gaghị adị otu a. Kama onye ọbụla chọrọ ịdị ukwuu n'etiti unu ga-abụ
onye na-ejere unu ozi. 44 Onye ọbụla nke chọrọ ịbụ onye mbụ n'etiti unu, ga-abụ ohu
mmadụ niile. 45 N'ihi na Nwa nke Mmadụ abịaghị ka e jeere ya ozi. Kama ka o jee
ozi ma nyekwa ndụ ya ka ọ bụrụ ihe mgbapụta nke ọtụtụ mmadụ."

### *Ọgwụgwọ Batimiọs onyeisi*

46 Mgbe ha ruru Jeriko, dị ka Jisọs na ndị na-eso ụzọ ya na ọtụtụ igwe mmadụ sitere
n'obodo Jeriko na-apụ, otu nwoke kpuru ìsì aha ya bụ Batimiọs (aha ya pụtara "nwa
nwoke Timiọs"), onye arịrịọ nọdụrụ ala n'akụkụ ụzọ. 47 Mgbe ọ nụrụ na ọ bụ Jisọs
onye Nazaret na-agafe, o bidoro iti mkpu na-asị, "Jisọs, nwa Devid, meere m ebere!"
48 Ọtụtụ mmadụ bara ya mba ka o mechie ọnụ. Ma ọ nọgidesịrị ike na-eti mkpu
na-asị, "Nwa Devid, meere m ebere!"
49 Jisọs kwụsịrị kwuo sị, "Kpọọnụ ya."
Ya mere ha kpọrọ onye ìsì ahụ, sị ya, "Mesaa ihu gị bilie n'ụkwụ gị, ọ na-akpọ gị."
50 Ọ tufuru uwe mwụda ya, wulie n'ụkwụ ya, bịakwute Jisọs.
51 Jisọs sịrị ya, "Gịnị ka ị chọrọ ka m meere gị?"
Onye ìsì ahụ sịrị ya, "Onye ozizi m, achọrọ m ka m hụ ụzọ."
52 Jisọs sịrị ya, "Laa, okwukwe gị azọpụtala gị." N'otu oge ahụ, o bidoro ịhụ ụzọ,
sorokwa ya gawa n'ụzọ ahụ.

## 11

### *Jisọs abaa Jerusalem*

1 Mgbe ha na-abịaru Jerusalem nso, ha rutere Betfeji na Betani n'Ugwu Oliv. Jisọs
zipụrụ mmadụ abụọ n'ime ndị na-eso ụzọ ya. 2 Ọ gwara ha sị, "Gaanụ n'ime obodo
nta dị n'ihu unu. Mgbe unu na-abanye n'ime ya, unu ga-ahụ nwa ịnyịnya e kedoro
n'ebe ahụ nke onye ọbụla na-arịkwasịbeghị n'elu ya. Tọpụnụ ya n'agbụ, kpụtaranụ
m ya. 3 Ọ bụrụ na onye ọbụla asị unu, 'Gịnị mere unu ji na-atọpụ ya n'agbụ?' sịnụ
onye ahụ, 'Ọ dị Onyenwe anyị mkpa, ọ ga-akpụghachitekwa ya ngwangwa.' "
4 Ha ruru ma hụ otu nwa ịnyịnya e kedoro n'akụkụ ụzọ, n'ihu otu ụlọ nke dị n'ama.
Dị ka ha na-atọpụ ya, 5 ụfọdụ mmadụ guzo n'ebe ahụ sịrị ha, "Gịnị ka unu na-eme,
unu na-atọpụ nwa ịnyịnya a?" 6 Ha gwara ha ihe Jisọs kwuru, ha hapụkwara ha ka
ha tọrọ ịnyịnya ibu ahụ. 7 Ha kpụtaara Jisọs nwa ịnyịnya ahụ, ma wụkwasịkwa uwe

ha n’elu ya, ọ nọkwasịrị n’elu ya. 8 Ọtụtụ mmadụ tụsara uwe ha n’okporoụzọ, ma
ndị ọzọ tụsara alaka osisi ha gbutere n’ọhịa. 9 Ndị na-aga n’ihu na ndị na-esokwa
n’azụ, tiri mkpu na-asị,
“Hozanna!”[*]

“Onye a gọziri agọzi ka onye ahụ bụ nke na-abịa n’aha Onyenwe anyị!”[†]

10 “Ngọzị dịrị alaeze ahụ na-abịa nke nna anyị Devid!”

“Hozanna n’ebe kachasị ihe niile elu!”
11 Mgbe ọ batara na Jerusalem, ọ gara n’ime n’ụlọnsọ ukwu ahụ. Mgbe o
legharịchara anya n’ihe niile dị n’ebe ahụ, ma ebe ọ bụ na chi ejiela, ya na ndị
na-eso ụzọ ya pụrụ gaa Betani.

### *Osisi fiig a bụrụ ọnụ*

12 N’echi ya, mgbe ha si Betani na-apụta, agụụ gụrụ ya. 13 Site n’ebe dị anya, ọ hụrụ
otu osisi fiig nke nwere akwụkwọ ndụ. Mgbe ọ bịaruru osisi ahụ nso, ọ gagharịrị
n’ukwu ya niile ma ọ ga-achọta mkpụrụ n’elu ya, ma ọ hụghị mkpụrụ ọbụla, naanị
akwụkwọ ndụ, n’ihi na oge a abụghị oge osisi a ji amị mkpụrụ. 14 Mgbe ahụ, ọ
gwara osisi ahụ sị, “Ka mmadụ ọbụla ghara iri mkpụrụ sitere na gị ruo ebighị ebi.”
Ndị na-eso ụzọ ya nụrụ mgbe o kwuru okwu a.

### *Jisọs achụpụ ndị ahịa*

15 Mgbe ha ruru Jerusalem, ọ banyere n’ime ụlọnsọ ukwu, bido ịchụpụ ndị na-
azụ ahịa na ndị na-ere ahịa n’ebe ahụ. O kpugharịrị tebul ndị na-agbanwe ego,
kwatuokwa oche niile n’ọdụ ahịa ndị na-ere nduru. 16 O gbochikwara onye ọbụla
iwebata ngwongwo ahịa orire n’ime ụlọnsọ ukwu ahụ. 17 Ma dị ka ọ na-ezi ha ihe,
ọ sịrị, “Ọ bụ na-edeghị ya sị, Ụlọ m ka a ga-akpọ ụlọ ekpere nye mba niile[‡]? Ma unu
emeela ya ọgba ndị na-apụnara mmadụ ihe n’ike.[§]”
18 Mgbe ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu nụrụ nke a, ha malitere na-achọ ụzọ igbu
ya ma ha tụrụ egwu ya n’ihi na ozizi ya juru igwe mmadụ niile ahụ anya.
19 Mgbe uhuruchi bịara, Jisọs na ndị na-eso ụzọ ya siri n’obodo ahụ pụọ.

### *Osisi fiig ahụ a kpọnwụọ*

20 N’isi ụtụtụ echi ya, mgbe ha na-agafe, ha hụrụ na osisi fiig a esitela na
mgbọrọgwụ ya kpọnwụọ. 21 Pita chetara ihe merenụ ma sị ya, “Onye ozizi, lee!
Osisi fiig ahụ ị bụrụ ọnụ akpọnwụọla!”
22 Jisọs zara ha sị, “Nweenụ okwukwe n’ime Chineke. 23 N’ezie agwa m unu, ọ bụrụ
na onye ọbụla asị ugwu a, ‘Si n’ebe a wezuga onwe gị, gaa dabanye n’oke osimiri,’
nke na-enweghị obi abụọ n’ime ya, kama o kweere na ihe o kwuru ga-emezu, ihe
ahụ ọ kwuru ga-emezukwa. 24 Ya mere, ka m gwa unu, ihe ọbụla unu rịọrọ n’ekpere,
kwerenụ na unu anatala ya, ọ ga-abụkwa nke unu. 25 Ma mgbe ọbụla unu guzoro
na-ekpe ekpere, gbagharanụ, ma ọ bụrụ na unu nwere ihe ọbụla megide onye ọbụla,
ka Nna unu nke bi n’eluigwe gbagharakwa unu mmehie unu. 26 Ma ọ bụrụ na unu
agbagharaghị, Nna unu nke bi n’eluigwe agaghị agbagharakwa unu mmehie unu.”[*]

### *Ajụjụ banyere ike Jisọs*

---

[*] **11:9** 11:9 Okwu a Hozanna, pụtara Zọpụta n’asụsụ Hibru, nke mechara ghọọ mkpu ututo. [†] **11:9** 11:9 Abụ 118:25,26 [‡] **11:17** 11:17 Aịz 56:7 [§] **11:17** 11:17 Jer 7:11 [*] **11:26** 11:26 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye okwu ndị a dịka ọ dị n’akwụkwọ Mat 6:15.

27 Mgbe ha rutere Jerusalem ọzọ, ọ nọ na-ejeghari̇ n’ime ogige ụlọnsọ ukwu ahụ,
ndịisi nchụaja, na ndị ozizi iwu na ndị okenye ndị Juu bịakwutere ya. 28 Ha sịrị ya,
“Olee ikike i ji eme ihe ndị a ị na-eme? Onye nyere gị ikike ime ha?”
29 Jisọs sịrị ha, “Aga m ajụ unu otu ajụjụ, unu zaa m ya, aga m agwakwa unu onye
nyere m ikike m ji eme ihe ndị a. 30 Baptizim nke Jọn, o sitere n’eluigwe ka ọ bụ
n’aka mmadụ? Gwanụ m.”
31 Ha kparịtara ụka n’etiti onwe ha ma sị, “Ọ bụrụ na anyị asị, ‘O sitere n’eluigwe,’
ọ ga-asị anyị, ‘Gịnị mere unu na-ejighị kwenye na ya?’ 32 Ma ọ bụrụ na anyị asị, ‘O
sitere n’aka mmadụ.’ ” (Ha na-atụ egwu ndị mmadụ, n’ihi na ha niile kwenyere na
Jọn bụ onye amụma n’ezie.)
33 Ya mere ha zara Jisọs sị, “Anyị amaghị.”
Jisọs zaghachikwara ha sị, “Agakwaghị m agwa unu ụdị ikike m ji na-eme ihe ndị
a.”

# 12

### *Ilu banyere ndị ọrụ ubi ọjọọ*

1 Mgbe ahụ, ọ bidoro ịgwa ndị ahụ okwu n’ilu sị, “Otu nwoke kụrụ mkpụrụ vaịnị
n’ubi ya, jiri mgbidi gbaa ubi ahụ gburugburu. O gwuru ebe ịnara mmanya si na
mkpụrụ vaịnị, wuokwa ụlọ elu. Mgbe o mesịrị, o nyefere ubi vaịnị ahụ n’aka ndị
ọrụ ubi ilekọta ya ma gaa obodo ọzọ. 2 Mgbe oge ịghọ mkpụrụ ruru, o zipụrụ otu
onye ohu ya ka o jekwuru ndị na-elekọta ubi ahụ, nata ha ụfọdụ n’ime mkpụrụ vaịnị
ahụ. 3 Ma ha jidere ya tie ya ihe, zilaga ya n’aka efu. 4 Emesịkwa, o zigakwara onye
ohu ọzọ. Ma ha tiwara ya isi, mee ya ihe ihere. 5 O zigakwara onye ọzọ, ma ha gburu
ya. O zigakwara ọtụtụ ndị ozi, ma ha gburu ụfọdụ, tie ndị ọzọ ihe.
6 “O nwere naanị otu onye ọzọ fọdụrụ nke ọ ga-eziga, nke bụ ọkpara ya ọ hụrụ
n’anya. N’ikpeazụ o zigara ya, buru n’uche na ha ga-asọpụrụ ọkpara ya.
7 “Ma ndị na-elekọta ubi ahụ sịrịtara onwe ha, ‘Onye a bụ onye nketa ihe niile a.
Bịanụ ka anyị gbuo ya, ka ihe nketa a bụrụzia nke anyị.’ 8 Ha jidere ya gbuo ya, tufee
ozu ya n’azụ mgbidi ubi vaịnị ahụ.
9 “Gịnị ka unu chere onyenwe ubi vaịnị ahụ ga-eme? Ọ ga-abịa laa ndị ajọ mmadụ
ahụ n’iyi. Ọ ga-enyefekwa ubi vaịnị ahụ n’aka ndị ọzọ. 10 Ọ bụ na unu agụbeghị
akwụkwọ nsọ a na-asị,
“ ‘Nkume ndị na-ewu ụlọ jụrụ
abụrụla nkume isi ntọala ụlọ.
11 Ọ bụ Onyenwe anyị rụrụ nke a,
ọ dịkwa ịtụnanya n’anya anyị’*?”
12 Mgbe ahụ ndịisi nchụaja, ndị nkuzi iwu na ndị okenye chọrọ ụzọ ha ga-esi jide
ya n’ihi na ha matara na ilu ahụ ọ tụrụ megidere ha. Ma ha tụrụ egwu igwe ndị
mmadụ ahụ, ya mere ha hapụrụ ya pụọ.

### *Ịtụ ụtụ nye Siza*

13 Emesịa, ha zigara ụfọdụ mmadụ site n’otu ndị Farisii na ndị otu Herọd, ile ma ha
ga-esite n’okwu ọnụ ya jide ya. 14 Ha bịakwutere ya, sị ya, “Onye ozizi, anyị maara
na ị bụ onye eziokwu, ị dịghị asọkwa onye ọbụla anya, n’ihi na ị dịghị ele mmadụ
anya n’ihu n’agbanyeghị ndị ha bụ, kama ị na-ezi ụzọ Chineke n’ụzọ eziokwu. O ziri
ezi n’iwu ịtụ ụtụ nye Siza† ka ọ bụ na o zighị ezi? 15 Anyị kwesiri ịkwụ ya ka ọ bụ
anyị ekwesighị?”

* **12:11** 12:11 Abụ 118:22,23 † **12:14** 12:14 Nke a bụ ụtụ a na-ekenye ndị na-abụghị diala obodo Rom ka ha
kwụọ.

Ma ebe ọ maara ihu abụọ ha, ya mere ọ sịrị ha, “Gịnị mere unu ji anwa m
ọnwụnwa? Wetaranụ m otu mkpụrụ ego ka m lee ya anya.” 16 Ha wepụtara otu
mkpụrụ ego, Ọ sịrị, “Onye nwe onyinyo a? Aha onye ka e bikwasịrị n’ego a?”
Ha zara sị, “Ọ bụ nke Siza.”
17 Mgbe ahụ Jisọs gwara ha sị, “Nyenụ Siza ihe bụ nke ya, nyekwanụ Chineke ihe
bụ nke ya.”
Ọsịsa ya jụkwara ha anya.

### *Ọlụlụ nwunye n’oge mbilite n’ọnwụ*

18 Ụfọdụ ndị Sadusii bụ ndị sịrị na mbilite n’ọnwụ adịghị bịakwutere ya jụọ ya sị,
19 “Onye ozizi, Mosis nyere anyị iwu na ọ bụrụ na nwoke ọbụla anwụọ na-amụtaghị
nwa, na nwanne ya nwoke ga-alụrụ nwunye nwoke ahụ, mụta ụmụ n’aha nwanne
ya nwoke ahụ nwụrụ anwụ. 20 Ugbu a, e nwere ụmụnne nwoke asaa, nke mbụ lụrụ
nwunye ma ọ nwụrụ na-amụtaghị ụmụ ọbụla. 21 Nke abụọ lụrụ nwanyị ahụ di ya
nwụrụ, ma ya onwe ya nwụkwara na-amụtaghị nwa. 22 Ọ dịghị onye ọbụla n’etiti ha
asaa mụtara nwa ọbụla, n’ikpeazụ nwanyị ahụ nwụkwara. 23 N’oge mbilite n’ọnwụ,
nwunye onye ka ọ ga-abụ, ebe ụmụnne asaa ndị a lụtụchara ya?”
24 Jisọs zara ha sị, “Ọ bụ na unu adịghị ejehie ụzọ n’ihi na unu aghọtaghị ihe e
dere n’akwụkwọ nsọ, maọbụ ike Chineke? 25 Mgbe ha ga-esite n’ọnwụ bilie, ọlụlụ di
na nwunye agaghị a dị; kama ha ga-adị ka ndị mmụọ ozi n’eluigwe. 26 Ma n’okwu
banyere ndị nwụrụ anwụ isite n’ọnwụ bilie, ọ bụ na unu agụtabeghị n’akwụkwọ
Mosis ebe e dere maka ọhịa ahụ na-ere ọkụ, na otu Chineke si gwa ya, Abụ m Chineke
Ebraham, Chineke nke Aịzik na Chineke nke Jekọb.‡ 27 Ọ bụghị Chineke nke ndị
nwụrụ anwụ kama nke ndị dị ndụ. N’ebe ahụ ka unu dahiere nke ukwuu.”

### *Iwu kachasị mkpa*

28 Otu n’ime ndị ozizi iwu bịara n’oge ahụ ha na-arụrịta ụka. Mgbe ọ hụrụ na o
nyere ha ezi ọsịsa, ọ jụrụ ya sị, “N’ime iwu niile olee nke kachasị mkpa?”
29 Jisọs zara ya sị, “Nke kachasị mkpa bụ nke a, ‘Nụrụ gị Izrel, Onyenwe anyị bụ
Chineke anyị, Onyenwe anyị bụ otu. 30 Were obi gị niile na mkpụrụobi gị niile na
uche gị niile na ike gị niile hụ Onyenwe anyị bụ Chineke gị n’anya.’§ 31 Nke abụọ ya
bụ nke a, ‘Hụ onye agbataobi gị n’anya dị ka onwe gị.’* Ọ dịghị iwu ọzọ dị nke karịrị
ndị a.”
32 Onye ode akwụkwọ ahụ sịrị ya, “Onye ozizi, n’ezie, ị zara nke ọma na Chineke
bụ otu, na enweghịkwa chi ọzọ dị karịa ya. 33 Ịhụ ya n’anya site n’iji obi gị niile, na
nghọta gị niile, nakwa iji ike gị niile, n’ịhụkwa onye agbataobi gị n’anya dị ka onwe
gị, kachasị onyinye aja nsure ọkụ na ịchụ aja niile.”
34 Mgbe Jisọs hụrụ na ọ zara nke ọma, ọ gwara ya sị, “Ị nọ alaeze Chineke nso.”
Site na mgbe ahụ ọ dịkwaghị onye ọbụla nwere obi ike ịjụ ya ajụjụ ọzọ.

### *Kraịst ọ bụ nwa onye?*

35 Mgbe Jisọs nọ na-ezi ihe n’ụlọnsọ, ọ kwuru sị, “Gịnị mere ndị ozizi iwu ji sị na
Kraịst bụ nwa Devid? 36 Devid n’onwe ya sitere n’ike Mmụọ Nsọ kwuo sị,
“ ‘Onyenwe anyị gwara Onyenwe m okwu sị,
“Nọdụ ala n’aka nri m
ruo mgbe m ga-edebe ndị iro gị
n’okpuru ụkwụ gị abụọ.” ’†
37 Devid n’onwe ya kpọrọ ya Onyenwe anyị. Oleekwanụ ụzọ o si bụrụ nwa ya?”
Igwe mmadụ ahụ jiri obi ụtọ na-ege ya ntị.

‡ **12:26** 12:26 Ọpụ 3:6 § **12:30** 12:30 Dit 6:4,5 * **12:31** 12:31 Lev 19:18 † **12:36** 12:36 Abụ 110:1

*Ịdọ aka na ntị banyere ndị ozizi iwu*
38 Dịka ọ na-ezi ihe, ọ siri, "Lezienụ anya n'ebe ndị ozizi iwu nọ.‡Ndị iyi uwe mwụda
na-ejeghari ebe niile na-amasị, na ịnara ekele pụrụ iche bụ nke a na-ekele ha n'ọma
ahịa. 39 Ndị ọ na-amasịkwa ịnọkwasị n'oche kachasị elu n'ụlọ ekpere nakwa n'oche
pụrụ iche na mmemme oriri ọbụla. 40 Ha na-eripịa ihe niile dị n'ụlọ ndị inyom ndị di
ha nwụrụ anwụ, n'ekpe ogologo ekpere ka a hụta ha. Ndị dị otu a ka a ga-ata ahụhụ
dị ukwuu."

*Onyinye nwanyị di ya nwụrụ*
41 Ọ nọdụrụ ala na ncherita ihu ebe igbe onyinye dị, sị ebe ahụ na-ahụ otu igwe
mmadụ ahụ si etinye ego ha n'ime igbe onyinye. Ọtụtụ ndị ọgaranya tụnyere ego
buru ibu. 42 Otu nwanyị bụ ogbenye, nke di ya nwụrụ anwụ, bịara tinye mkpụrụ ego
ọla abụọ nke pụtara otu peni.
43 Ọ kpọrọ ndị na-eso ụzọ ya sị ha, "N'ezie agwa m unu, nwanyị a di ya nwụrụ
anwụ, bụkwa ogbenye, etinyela ego n'ime igbe onyinye a karịa ndị ọzọ. 44 N'ihi na
ndị ọzọ sitere n'ịba ụba nke ego ha nwere tinye, ma nwanyị a sitere n'ogbenye ya
tinye ihe niile o nwere, ọ bụladị ihe niile o ji biri."

# 13

*Amụma banyere mmebi nke ụlọnsọ ukwu*
1 Mgbe o sitere n'ụlọnsọ ukwu ahụ na-apụ, otu n'ime ndị na-eso ụzọ ya siri ya,
"Onye ozizi, ị hụkwara otu ụlọ a si maa mma. Lee ụdị nkume buru ibu e ji wuo ha."
2 Jisọs zara ha, "Ị hụrụ ụlọ ukwu ndị a? Oge na-abịa mgbe ọ na-adịghị nkume
ga-atụkwasị n'elu ibe ya, n'ihi na a ga-ala ha niile n'iyi."
3 Mgbe ọ nọdụrụ ala n'elu Ugwu Oliv, na ncherita ihu ụlọnsọ ukwu, Pita na Jemis,
na Jọn na Andru bịakwutere ya na nzuzo jụọ ya sị, 4 "Gwa anyị, olee mgbe ihe ndị a
ga-emezu? Gịnị ga-abụkwa ihe ịrịbama izi na o ruola mgbe ha niile ga-emezu?"

*Mmalite nke ahụhụ*
5 Jisọs malitere ịgwa ha sị, "Lezienụ anya ka onye ọbụla ghara iduhie unu. 6 N'ihi
na ọtụtụ ga-abịa n'aha m sị, 'Abụ m ya.' Ha ga-eduhiekwa ọtụtụ ndị ụzọ. 7 Mgbe
unu nụrụ maka agha na akụkọ agha dị iche iche, unu atụla egwu. Ihe ndị a aghaghị
ime ma oge ọgwụgwụ ihe niile erubeghị. 8 Mba ga-ebili megide mba ibe ya. Alaeze
ga-ebilikwa megide alaeze ibe ya. Ala ọma jijiji na ụnwụ ga-adị n'ebe dị iche iche.
Ihe ndị a bụ mmalite nke oke ihe mgbu.
9 "Unu aghaghị ịbụ ndị nọ na nche. A ga-enyefe unu n'aka ndị na-achị achị, pịakwa
unu ihe n'ụlọ ekpere. N'ihi m, unu ga-eguzo n'ihu ndịisi ọchịchị na ndị eze dị ka
ndị ama nye ha. 10 Aghaghị ibu ụzọ kwusaa oziọma a nye mba niile. 11 Ma mgbe
ha jidere unu kpụta unu n'ụlọikpe, unu echegbula onwe unu banyere ihe unu ga-
ekwu, kwuonụ naanị ihe batara unu n'ọnụ unu ikwu n'oge ahụ. N'ihi na ọ bụghị
unu ga-ekwu okwu, kama ọ bụ Mmụọ Nsọ ga-esite n'ọnụ unu kwuo okwu.
12 "Nwanne ga-arara nwanne ya nye ka e gbuo ya. Nna ga-ararakwa nwa ya nye.
Ụmụ ga-ebili megide ndị mụrụ ha mee ka e gbuo ha. 13 Mmadụ niile ga-akpọ unu asị
n'ihi m, ma onye ga-eguzosi ike ruo ọgwụgwụ ka a ga-azọpụta.
14 "Mgbe unu hụrụ ihe arụ nke na-eweta mbibi ka ọ na-eguzo n'ebe ọ na-
ekwesighị*(onye na-agụ ya nwee nghọta), mgbe ahụ, ka ndị nọ na Judịa were ọsọ
gbalaga n'elu ugwu 15 Onye ọbụla nọ n'elu ụlọ ya ghara ịrịdata maọbụ baa n'ime
ụlọ ya iwepụta ihe ọbụla. 16 Ka onye ọbụla nọ n'ubi ghara ịlọghachi ịchịrị uwe
ya. 17 Ma ahụhụ ga-adịrị ndị dị ime, na ndị na-enye ụmụaka ara, n'ụbọchị ahụ.

‡ **12:38** 12:38 Ya bụ ndị Farisii * **13:14** 13:14 Dan 9:27; 11:31; 12:11

18 Kpeenụ ekpere ka ihe ndị a hapụ ime n’oge oke oyi. 19 N’ihi na oke mkpagbu nke
ụbọchị ahụ ga-abụ nke na-adịbeghị na mbụ site na mgbe Chineke kere ụwa ruo ugbu
a. Ọ dịkwaghị ihe ga-adịkwa ka ya ọzọ ruo mgbe ebighị ebi.
20 “Ọ bụrụ na Onyenwe anyị emeghị ka ụbọchị ndị ahụ dị mkpụmkpụ, ọ dịghị
onye a ga-azọpụta. Ma n’ihi ndị ya, ndị ọ họpụtara, o meela ka ụbọchị ndị ahụ dị
mkpụmkpụ. 21 N’oge ahụ, ọ bụrụ na onye ọbụla asị unu, ‘Lee, Kraịst nọ n’ebe a,’
maọbụ, ‘Lee, ọ nọ n’ebe ahụ,’ unu ekwela. 22 N’ihi na ndị nzọpụta ụgha na ndị
amụma ụgha, ga-apụta ma rụọkwa ọrụ ebube na ọrụ ịrịbama dị iche iche iji duhie
ndị a họpụtara ma ọ bụrụ na ọ ga-ekwe mee. 23 Ya mere, unu nọrọ na nche; n’ihi na
agwala m unu ihe niile mgbe ha na-emebeghị.

*Ọbịbịa Onye nke nzọpụta*

24 “N’ụbọchị ndị ahụ, nke na-esote oge mkpagbu ahụ,
“ ‘anyanwụ ga-agba ọchịchịrị,
ọnwa agaghị enyekwa ìhè ya;
25 kpakpando ga-esi na mbara eluigwe na-ada,
ike niile dị na mbara eluigwe ga-amakwa jijiji.’†
26 “N’oge ahụ, ha ga-ahụ Nwa nke Mmadụ, ka ọ na-abịa n’igwe ojii n’oke ike na
ebube. 27 Mgbe ahụ, ọ ga-ezipụ ndị mmụọ ozi ya ka ha kpokọta ndị a họpụtara
site n’akụkụ anọ niile nke ụwa. Site na nsọtụ niile nke ụwa ruo na nsọtụ niile nke
eluigwe.

*Ihe mmụta site n’osisi fiig*

28 “Ugbu a, mụtanụ ihe site n’osisi fiig. Mgbe ọbụla alaka ya dị nro malite iwepụta
akwụkwọ ndụ, unu maara na ọkọchị dị nso. 29 N’ụzọ dị otu a, mgbe unu hụrụ ihe
ndị a niile ka ha bidoro ime, matanụ na ọ nọ nso, ọ nọkwa n’ọnụ ụzọ. 30 Ana m agwa
unu eziokwu na ọgbọ a agaghị agabiga tupu ihe ndị a niile emezuo. 31 Eluigwe na
ụwa ga-agabiga ma okwu m ga-adịgide.

*Mmadụ ọbụla amaghị oge ahụ*

32 “Ma banyere ụbọchị ahụ, maọbụ oge awa ahụ, o nweghị onye ọbụla maara, ọ
bụladị ndị mmụọ ozi nke eluigwe, maọbụ Ọkpara ahụ, kama naanị Nna ahụ maara
ya. 33 Ebe ọ bụ na unu amaghị mgbe ha ga-emezu, nọrọnụ na nche! Mụrụkwanụ
anya!‡ 34 Ọ dị ka nwoke hapụrụ ụlọ ya na-aga njem, tinye n’aka ndị ohu ya ilekọta
ihe, onye ọbụla n’ime ha ka o nyere ọrụ ọ ga-arụ ma nyekwa onye nche ọnụ ụzọ iwu
ka ọ nọ na nche.
35 “Ya mere nọrọnụ na nche, n’ihi na unu amaghị mgbe Onyenwe ụlọ ga-alọta. Ma
ọ bụ n’uhuruchi maọbụ n’etiti abalị. Maọbụ mgbe ọkụkụ kwara akwa, maọbụ n’isi
ụtụtụ. 36 Ọ bụrụ na ọ lọta na mberede, unu ekwela ka ọ lọkwute unu mgbe unu nọ
n’ụra. 37 Ihe m gwara unu ka m na-agwakwa mmadụ niile. ‘Nọrọnụ na nche.’ ”

## 14

*Otite mmanụ Jisọs na Betani*

1 Abalị abụọ tupu e mee Mmemme Ngabiga* na mmemme achịcha na-ekoghị eko,
ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu nọkwa na-achọ ụzọ aghụghọ ha ga-esi jide Jisọs gbuo
ya. 2 Ma ha kwuru sị, “Ọ gaghị abụ n’oge mmemme a, ka ọgbaaghara ghara ịdị.”
3 Ka ọ nọdụrụ n’oche nri na Betani n’ụlọ Saimọn onye ekpenta, otu nwanyị bu
karama alabasta mmanụ otite dị oke ọnụahịa, nke e jiri ezigbo naad mee, batara. Ọ
kụwara karama ahụ, wụsa ya mmanụ otite ahụ n’isi.

---

† **13:25** 13:25 Aịz 13:10; 34:4 ‡ **13:33** 13:33 Akwụkwọ ndị ochie na-edenye, na-ekpe ekpere. * **14:1** 14:1 Mmemme ndị Izrel ji echeta ọpụpụ ha site n’ala Ijipt.

4 Ụfọdụ ndị nọ n’ebe ahụ were iwe nke ukwuu. Ha sịrịtara onwe ha, “Gịnị mere
e jiri laa mmanụ otite nke a n’iyi otu a? 5 A gaara ere mmanụ otite a ihe karịrị narị
denarị atọ, were ego e retara ya nye ndị ogbenye.” Ha baara ya mba n’olu ike.
6 Ma Jisọs sịrị, “Hapụnụ ya aka. Gịnị mere unu ji esogbu ya? Ọ bụ ezi ọrụ ka ọ
rụrụ n’ebe m nọ. 7 Unu na ndị ogbenye na-anọ oge niile, unu nwekwara ohere inyere
ha aka mgbe ọbụla unu chọrọ. Ma mụ na unu agaghị anọ tee anya. 8 O mere ihe o
nwere ike, ọ na-ete m mmanụ otite a ugbu a iji kwado ahụ m maka olili a ga-eli ya.
9 N’ezie, ana m agwa unu, n’ebe ọbụla a ga-ekwusa oziọma a n’ụwa niile, ọrụ a ọ
rụrụ ka a ga-akọkwa akụkọ ya, iji cheta ihe ọma a o mere.”
10 Mgbe ahụ Judas Iskariọt, otu n’ime ndị ozi iri na abụọ ahụ jekwuuru ndịisi
nchụaja ịgba izu otu ọ ga-esi rara ya nye ha n’aka. 11 Mgbe ha nụrụ nke a, ha ṅụrịrị
ọṅụ kwee ya nkwa inye ya ego. Site n’ụbọchị ahụ, o bidoro ịchọghari ụzọ ọ ga-esi
rara ya nye ha.

### *Oriri Mmemme Ngabiga*

12 N’ụbọchị mbụ nke Mmemme achịcha na-ekoghị eko, mgbe ha na-achụ aja atụrụ
ngabiga, ndị na-eso ụzọ ya bịakwutere ya sị ya, “Ebee ka ị chọrọ ka anyị gaa kwadoro
gị ihe, maka oriri ngabiga?”
13 O zipụrụ mmadụ abụọ n’ime ndị na-eso ụzọ ya, sị ha, “Gaanụ n’ime obodo, otu
nwoke bu ite mmiri ga-ezute unu. Soronụ ya. 14 Ebe ọbụla ọ banyere, sịnụ onyenwe
ụlọ ahụ, Onye ozizi sịrị, Olee ụlọ ọbịa a kwadoro m, ebe mụ na ndị na-eso ụzọ m
ga-anọ rie oriri ngabiga? 15 Ọ ga-egosi unu otu ọnụụlọ buru ibu n’elu ụlọ ahụ, ebe e
dozichara ihe niile. Kwadoonụ ihe anyị n’ebe ahụ.”
16 Ndị na-eso ụzọ ya pụrụ baa n’ime obodo, ha hụrụ ihe niile dị ka ọ gwara ha. Ma
kwadokwa nri ngabiga ahụ.
17 Mgbe o ruru uhuruchi, ya na ndị ozi ya iri na abụọ ahụ so bịa. 18 Mgbe ha nọ
na-eri nri, Jisọs gwara ha sị, “N’ezie agwa m unu, otu onye n’ime unu ga-arara m
nye. E, otu onye so m ugbu a na-eri nri!”
19 Ha bidoro inwe obi mwute, na-asị ya n’otu n’otu, “Ọ bụ m? Ọ bụ m?”
20 Ọ sịrị ha, “Ọ bụ otu onye n’ime mmadụ iri na abụọ a. Onye mụ na ya na-
amanyekọta aka n’ime otu efere. 21 Nwa nke Mmadụ ga-ala dị ka e dere banyere ya.
Ma ahụhụ ga-adịrị nwoke ahụ onye a ga-esite n’aka ya rara Nwa nke Mmadụ nye. Ọ
gaara akara onye ahụ mma ma a sị na a mụghị ya amụ.”

### *Mmalite nke oriri nsọ*

22 Dị ka ha na-eri nri, o weere achịcha, nye ekele, nyawa ya, nye ha sị, “Rienụ ya,
nke a bụ ahụ m.”
23 Mgbe ahụ, o buuru iko, nye ekele bunyekwa ha. Ha niile ṅụrụ site n’otu iko ahụ.
24 Ọ sịrị ha, “Nke a bụ ọbara m nke ọgbụgba ndụ ọhụrụ, nke a na-awụfu n’ihi
ọtụtụ mmadụ. 25 N’ezie, n’ezie, agwa m unu, agaghị m aṅụ mmanya vaịnị ọzọ tutu
ruo ụbọchị ahụ, mgbe m ga-aṅụ ya ọhụrụ n’alaeze Chineke.”
26 Mgbe ha bụsịrị abụ, ha pụrụ gaa n’Ugwu Oliv.

### *Jisọs ekwuo maka ngọnarị Pita*

27 Jisọs sịrị ha, “Unu niile ga-agbahapụ m, n’ihi na e dere ya otu a sị,
“ ‘Aga m etigbu onye ọzụzụ atụrụ,
igwe atụrụ ga-agbasasịkwa.’†
28 Ma mgbe e mesịrị ka m si n’ọnwụ bilie, aga m ebu unu ụzọ gaa Galili.”
29 Pita kwuru, “Ọ bụrụ na mmadụ niile agbahapụ gị, agaghị m eme otu a.”
30 Jisọs sịrị ya, “Ịgwa gị eziokwu, n’ụbọchị taa, n’abalị taa, tupu oke ọkụkụ akwaa
akwa ugboro abụọ, ị ga-agọnarị m ugboro atọ.”

---

† **14:27** 14:27 Zek 13:7

[31] O kwusịrị ike sị, "Ọ bụrụkwa na ihe ọnwụ adapụta, aga m eso gị nwụọ. Agaghị
m agọnarị gị!" Ọ bụkwa otu ihe ahụ ka ha niile kwuru.

*Ekpere Jisọs n'ogige Getsameni*

[32] Ha pụrụ garuo ebe a na-akpọ Getsameni. N'ebe ahụ, ọ sịrị ndị na-eso ụzọ ya,
"Nọdụnụ n'ebe a ka m gaa kpee ekpere." [33] Ọ kpọọrọ Pita, na Jemis na Jọn tinyere
onwe ya. Ọ malitere inwe ihe mwute dị ukwuu nakwa obi ịlọ mmiri. [34] Ọ sịrị ha, "Ọ
na-ewute mkpụrụobi m nke ukwuu ruo n'ọnụ ọnwụ. Nọdụnụ n'ebe a na-eche nche."
[35] Ọ gatụrụ n'ihu daa n'ala kpee ekpere, sị, ọ bụrụ na ọ ga-ekwe mee ka oge awa
ahụ gabiga ya. [36] O kwuru sị, "*Abba,*‡Nna, ị pụrụ ime ihe niile. Napụ m iko a, ma
otu ọ dị, ọ bụghị ka e mee uche m, kama ka e mee uche gị."
[37] Ọ bịara hụ ha ka ha na-arahụ ụra. Ọ sịrị Pita, "Saimọn, ị na-arahụ ụra? Ọ bụ na
ị nweghị ike iche nche otu awa? [38] Nọrọnụ na nche, na-ekpekwanụ ekpere ka unu
ghara ịdaba n'ọnwụnwa. Mmụọ dị ike ma anụ ahụ adịghị ike."
[39] Ọ pụkwara ọzọ, gaa kpee ekpere, na-ekwukwa otu okwu ahụ. [40] Mgbe ọ
lọghachiri azụ ọ hụrụ na ha na-arahụ ụra, n'ihi na anya ha dị arọ nke ukwuu. Ha
amakwaghị ihe ha ga-agwa ya.
[41] Mgbe ọ lọghachiri nke ugboro atọ, ọ sịrị ha, "Unu ka nọ na-arahụ ụra na-ezukwa
ike? O zuola! Oge awa ahụ abịala. Lee, a rarala Nwa nke Mmadụ nye n'aka ndị
mmehie. [42] Bilienụ! Ka anyị gawa! Lee, onye na-arara m nye nọ nso."

*Njide e jidere Jisọs*

[43] Mgbe ọ ka kpụ okwu n'ọnụ, Judas, otu n'ime ndị ozi iri na abụọ ahụ batara, ya
na igwe mmadụ, ndị ji mma agha na mkpọ. Ọ bụ ndịisi nchụaja, na ndị ozizi iwu,
na ndị ode akwụkwọ, na ndị okenye ndị Juu zitere ha.
[44] Ma onye na-arara ya nye, nyere ha rịị ihe ịrịbama sị, "Onye ahụ nke m ga-esutu
ọnụ bụ ya; jidenụ ya, kpụrụnụ ya gawa, ma jidesiekwanụ ya ike." [45] Ngwangwa o
jekwuuru Jisọs, sị ya, "Onye ozizi!" ma sutukwa ya ọnụ. [46] Ndị ikom ahụ jidere Jisọs
ma sekpụrụ ya n'ike. [47] Ma otu onye n'ime ndị guzo n'ebe ahụ, mịpụtara mma agha
ya, gbuo ohu onyeisi nchụaja, gbupụ ntị ya.
[48] Jisọs sịrị ha, "Abụ m onyendu nke ndị na-enupu isi nke mere unu ji were mma
agha na mkpọ bịa ijide m? [49] Ụbọchị niile ka mụ na unu nọ mgbe m na-ezi ihe
n'ụlọnsọ ukwu, ma unu ejideghị m. Ma ihe akwụkwọ nsọ kwuru aghaghị imezu."
[50] Mgbe ahụ, ha niile hapụrụ ya gbalaga.
[51] Ọ dị otu nwokorobịa na-eso ya, ọ ji naanị akwa ọcha linin kpuchie onwe ya.
Mgbe ha jidere ya, [52] ọ hapụụrụ ha akwa ọcha linin ya, gbara ọtọ gbalaga.

*Jisọs n'ihu ndị ikpe ndị Juu*

[53] Ha duuru Jisọs gakwuru onyeisi nchụaja, ha niile bụ ndịisi nchụaja, na ndị
okenye na ndị ozizi iwu zukọrọ n'ebe ahụ. [54] Pita sooro ha, ma ọ nọ n'ebe dị anya. O
sooro ha bata n'obi onyeisi nchụaja. N'ebe ahụ, o sooro ndị nche nọdụ ọdụ na-anya
ọkụ.
[55] Ndịisi nchụaja na ndịisi ikpe n'ụlọikpe ukwu§ nọ na-achọ ama megide Jisọs, ka
ha nwee ike gbuo ya. Ma ọ dịghị nke ha chọtara. [56] Ọtụtụ bịara gbaa ama ụgha
megide ya, ma ama ha abụghị otu.
[57] Mgbe ahụ ụfọdụ biliri gbaa ama ụgha megide ya, sị, [58] "Anyị nụrụ mgbe o kwuru
sị, 'Aga m akwatu ụlọnsọ ukwu a nke e ji aka wuo, n'ụbọchị atọ aga m ewukwa ụlọ
ọzọ, nke a na-ejighị aka wuo.' " [59] Ọ bụladị na nke a, ama ha niile adakọtakwaghị
n'otu.

---

‡ **14:36** 14:36 Nke a pụtara nna n'asụsụ Aramaik. § **14:55** 14:55 Ha dị iri asaa n'otu n'ọnụọgụgụ ma bụrụkwa ndị gbara site n'afọ atọ n'otu gaa n'ihu.

60 Mgbe ahụ, onyeisi nchụaja biliri ọtọ n’ihu ha, jụọ Jisọs ajụjụ sị, “Ọ bụ na ị nweghị
ihe ọbụla ị ga-aza? Gịnị ka i nwere ikwu banyere ama ndị a a na-agba megide gị?”
61 Ma ọ gbakwara nkịtị, ọ zaghị ihe ọbụla.
Ọzọkwa, onyeisi nchụaja jụrụ ya sị, “Ị bụ Kraịst, Ọkpara Onye a gọziri agọzi?”
62 Jisọs sịrị, “Abụ m ya, unu ga-ahụkwa Nwa nke Mmadụ ka ọ na-anọdụ ala n’aka
nri nke Onye ji ike niile, na-abịakwa n’igwe ojii nke eluigwe.”
63 Onyeisi nchụaja dọwara uwe ya kwuo sị, “Gịnị mere anyị ji achọ ndị akaebe
ọzọ? 64 Unu anụla okwu nkwulu si ya n’ọnụ pụta! Gịnị bụ mkpebi unu?”
Ha niile mara ya ikpe sị, “O kwesiri ka ọ nwụọ!” 65 Mgbe ahụ ụfọdụ bidoro ịgbụ
ya ọnụ mmiri asọ, jiri akwa kechie ya anya, tiekwa ya aka na-asị, “Buo amụma!” Ndị
nche kpụpụtara ya tiekwa ya ihe.

*Pita agọnarị Jisọs*

66 Dịka Pita nọ n’obi ahụ, otu n’ime ụmụ agbọghọ na-ejere onyeisi nchụaja ozi
bịara nso ebe ọ nọ. 67 Mgbe ọ hụrụ Pita ka ọ na-anya ọkụ, o leziri ya anya nke ọma,
sị, “Ị bụ otu n’ime ndị na-eso Jisọs onye Nazaret ahụ.”
68 Ma ọ gọrọ agọ sị, “Amaghị m, maọbụ ghọtakwa ihe ị na-ekwu.” Ma ọ pụrụ gaa
n’ụzọ e si abata. Mgbe ahụ oke ọkụkụ kwara akwa.
69 Mgbe nwaagbọghọ ahụ hụrụ Pita ọzọ, o gosiri ya ndị ọzọ nọ n’ebe ahụ sị ha,
“Nwoke a bụkwanụ otu n’ime ha.” 70 Ma ọ gọkwara agọ ọzọ.
Mgbe oge nta gasịrị, ndị guzo Pita nso sịrị ya, “N’ezie, ị bụ otu n’ime ha, n’ihi na ị
bụ onye Galili.”
71 Mgbe ahụ o bidoro ịbụ onwe ya ọnụ, na ịṅụ iyi na-asị, “Amaghị m onye nwoke
a unu na-ekwu okwu ya bụ.”
72 N’otu oge ahụ, oke ọkụkụ kwara akwa nke ugboro abụọ. Mgbe ahụ Pita chetara
okwu Jisọs gwara ya sị, “Tupu oke ọkụkụ akwaa akwa ugboro abụọ, ị ga-agọnarị m
ugboro atọ.” Obi tiwara ya mee ka ọ kwaa akwa.

# 15

*Jisọs n’ihu Pailet*

1 N’ezigbo isi ụtụtụ, ndịisi nchụaja na ndị okenye na ndị ozizi iwu, na ndị nzukọ
ndị okenye niile, nwere mkpebi. Ha kere Jisọs agbụ, duru ya nyefee n’aka Pailet.
2 Pailet jụrụ ya sị, “Ị bụ eze ndị Juu?”
Ọ zara sị ya, “Gị onwe gị kwuru ya.”
3 Mgbe ahụ ndịisi nchụaja boro ya ebubo banyere ọtụtụ ihe. 4 Pailet jụrụ ya ajụjụ
ọzọ sị, “Ọ bụ na ị nweghị ọsịsa ọbụla? Lee ọtụtụ ebubo ha na-ebo gị.”
5 Ma Jisọs azaghị ihe ọzọ. Nke a juru Pailet anya.
6 Ugbu a, ọ bụ omenaala n’oge mmemme, na a ga-ahapụ otu onye mkpọrọ, bụ onye
ha rịọrọ ka a hapụ. 7 N’oge ahụ kwa, otu nwoke a na-akpọ Barabas nọ n’ụlọ mkpọrọ,
ya na ụfọdụ ndị biliri megide isi ọchịchị, ndị gbukwara mmadụ n’oge ọgbaaghara
ahụ. 8 Igwe mmadụ gbakọrọ na-arịọ Pailet ka o mezuoro ha omenaala ha.
9 Mgbe ahụ ọ jụrụ ha sị, “Unu chọrọ ka m hapụrụ unu eze ndị Juu?” 10 Ebe ọ maara
na ọ bụ n’ihi ekworo ka ndịisi nchụaja ji nyefee Jisọs n’aka ya. 11 Ma ndịisi nchụaja
kpaliri igwe mmadụ ahụ ka ha kwagide ya ka ọ hapụrụ ha Barabas.
12 Pailet jụrụ ha ọzọ sị, “Gịnị ka m ga-eme nwoke a unu kpọrọ eze ndị Juu?”
13 Ma ha tiri mkpu ọzọ sị, “Kpọgide ya n’obe!”*
14 Ma Pailet jụrụ ha sị, “Ọ bụ n’ihi gịnị? Olee ihe ọjọọ o mere?”
Ma ha tiri mkpu karịa ka ha si eti na mbụ, na-asị, “Kpọgide ya n’obe!”

* **15:13** 15:13 N’ụzọ dị otu a a jụrụ Jisọs Kraịst.

15 Ma ebe Pailet chọrọ ime ihe ga-atọ igwe mmadụ ahụ ụtọ, ọ hapụụrụ ha Barabas,
nyefee ha Jisọs n’aka ka ha pịa ya ihe ma kpọgidekwa ya n’obe.

### *Ndị agha ejiri Jisọs mee ihe ọchị*

16 Ndị agha ahụ duuru ya pụọ baa n’ime ụlọeze a na-akpọ Pritoriọm. Ha
kpọkọtakwara ndị agha ndị otu ha ndị ọzọ. 17 Ha yinyere ya uwe mwụda na-acha
odo odo, kpukwasịkwa ya okpueze nke e ji ogwu kpaa n’isi. 18 Emesịa, ha malitere
na-ekele ya sị, “Ekele, eze ndị Juu.” 19 Ha ji osisi kụọ ya n’isi ọtụtụ mgbe, na-agbụ
ya ọnụ mmiri asọ. Ha gbukwara ikpere n’ihu ya, na-akpọ isiala na-enye ya. 20 Mgbe
ha ji ya mechaa ihe ọchị, ha yipụrụ ya uwe odo odo ahụ, yinyekwa ya uwe nke ya.
Emesịa, ha duuru ya pụọ gawa ịkpọgide ya n’obe.

### *Mkpọgide Jisọs n’obe*

21 Ha zutere otu onye na-agata n’ụzọ, aha ya bụ Saimọn, onye Sirini, bụ nna
Alegzanda na Rufọs. Ha manyere ya ka o buru obe ya. 22 N’ikpeazụ, ha duuru Jisọs
ruo ebe a na-akpọ Gọlgọta (nke pụtara “ebe okpokoro isi”). 23 Ha nyere ya mmanya
a gwara máá, ma ọ jụrụ ịṅụ ya. 24 Emesịa, ha kpọgidere ya n’obe, ma kee uwe ya
n’etiti onwe ha site n’ife nza onye ga-enwe nke ọ ga-ewe.
25 Ha kpọgidere ya n’obe n’elekere itoolu nke ụtụtụ. 26 Ha depụtara ebubo ha boro
ya kwụba ya n’elu obe ahụ, nke bụ:

Eze ndị Juu.

27 Ha kpọgidekwara ya na ndị ohi abụọ n’obe, otu n’aka nri ya, nke ọzọ n’aka
ekpe ya. 28 A gụkọtara ya na ndị na-emebi iwu.† 29 Ndị mmadụ si n’ebe ahụ gafee
fufere isi ha na-ekwutọ ya, na-asị, “Leenụ gị! Onye ga-akwada ụlọnsọ ma wugharịa
ya n’abalị atọ. 30 Zọpụtanụ onwe gị! Si n’elu obe ahụ rịdata.” 31 Ọ bụladị ndịisi
nchụaja, na ndị ozizi iwu na ndị ode akwụkwọ nọ na-akwa ya emo n’etiti onwe ha
na-asị, “Ọ zọpụtara ndị ọzọ, ma ọ pụghị ịzọpụta onwe ya! 32 Ka Kraịst a, bụ Eze
Izrel, si n’elu obe a rịdata ka anyị hụ ma kwerekwa.” Ndị ahụ a kpọgidekọrọ ha na
ya n’obe nọkwa na-akparị ya.

### *Ọnwụ Jisọs*

33 Mgbe ọ kụrụ elekere iri na abụọ nke ehihie, ọchịchịrị gbachikọtara n’ala ahụ
niile. Ọchịchịrị a dịgidere ruo n’elekere atọ nke ehihie. 34 N’elekere atọ nke ehihie,
Jisọs tiri mkpu akwa n’oke olu sị, *“Elọi, Elọi, lama sabaktani!”* (nke pụtara, “Chineke
m, Chineke m, gịnị mere i jiri hapụ m?”).‡
35 Ma ụfọdụ ndị guzo nso n’ebe ahụ, mgbe ha nụrụ nke a, sịrị, “Lee, ọ na-akpọ
Ịlaịja!”
36 Ya mere, otu onye gbaara ọsọ gaa weta ogbo, denye ya n’ime mmanya gbara ụka,
fanye ya na okporo osisi, nye ya ka ọ ṅụọ, ma na-asị, “Hapụnụ ya, ka anyị lee ma
Ịlaịja ọ ga-abịa tọtuo ya.”
37 Ma Jisọs tiri mkpu n’olu ike, kubie ume.
38 Akwa mgbochi nke ụlọnsọ ukwu sitere n’elu gbawaa abụọ ruo n’ọnụ ala ala ya.
39 Mgbe ọchịagha guzo n’ihu ya, hụrụ otu o si kubie ume, o kwuru sị, “N’ezie, nwoke
a bụ Ọkpara Chineke.”
40 O nwere ụfọdụ ụmụ nwanyị guzo n’ebe dị anya na-ele ihe na-eme, n’etiti ha bụ
Meri Magdalin, Meri nne Jemis nke nta, na Josef,§ na Salomi. 41 Ndị a bụ ndị naara
eso ya na-ejekwara ya ozi, mgbe ọ nọ na Galili. Ọ dịkwa ndị inyom ọzọ nọkwa n’ebe
ahụ, bụ ndị sooro ya bịa na Jerusalem.

### *Olili Jisọs*

---

† **15:28** 15:28 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye okwu ndị a dịka ọ dị n’akwụkwọ Luk 22:37. ‡ **15:34** 15:34 Abụ 22:1 § **15:40** 15:40 N’asụsụ Griik Joses bụkwa Josef.

42 N’oge uhuruchi (ya bụ ụbọchị na-abọta ụbọchị izuike), ebe ọ bụ Ụbọchị
Nkwadebe, 43 Josef onye Arimatia, otu n’ime ndị otu n’ụlọ nzukọ, onye a na-asọpụrụ,
onye na-echere ọbịbịa nke alaeze Chineke, ji obi ike jekwuru Pailet rịọ ya ka o bunye
ya ahụ Jisọs. 44 Ọ juru Pailet anya ịnụ na ọ nwụọla. Ọ kpọrọ ọchịagha ahụ jụọ ya ma
ọ nwụọla. 45 Mgbe ọchịagha ahụ gwara ya na ọ nwụọla, o kwere ka Josef buru ahụ
ya. 46 Josef zụtara akwa ọcha linin, wedata ahụ ya jiri akwa ahụ fụchie ya. O buuru
ya buba ya n’ime ili nke o gwuru n’ime nkume. Emesịa o nuketara otu nkume buru
ibu, jiri ya mechie ọnụ ụzọ ili ahụ. 47 Meri Magdalin na Meri nne Josef hụkwara ebe
e bubara ahụ ya.

# 16

*Mbilite n’ọnwụ Jisọs*

1 Mgbe ụbọchị izuike gafere, Meri Magdalin na Meri nne Jemis na Salomi zụtara
ụda dị iche iche ha ga-eji tee ahụ ya mmanụ. 2 N’isi ụtụtụ ụbọchị mbụ nke izu,
mgbe anyanwụ wara, ha biliri gawa n’ili ahụ. 3 Ha jụrịtara onwe ha na-asị, “Onye
ga-enupuru anyị nkume ahụ dị n’ọnụ ụzọ ili ahụ?”
4 Ma mgbe ha leliri anya, ha hụrụ na e nupụla nkume ukwu ahụ. 5 Mgbe ha banyere
n’ime ili ahụ, ha hụrụ otu nwokorobịa yi uwe ọcha ka ọ nọdụrụ ala n’akụkụ aka nri
nke ili ahụ. Ha tụrụ oke egwu.
6 Ma ọ sịrị ha, “Unu atụla egwu. Unu na-achọ Jisọs onye Nazaret a kpọgidere n’obe.
E meela ka o site n’ọnwụ bilie! Ọ nọkwaghị n’ebe a. Lee ebe e nibere ya. 7 Ma gaanụ
gwa ndị na-eso ụzọ ya nakwa Pita, ‘O burula unu ụzọ gawa Galili. Ebe ahụ ka unu
ga-ahụ ya dị ka ọ gwararịị unu.’ ”
8 Ha gbapụtara site n’ili ahụ, n’ọnọdụ mgbagwoju anya na ahụ ịma jijiji. Ha
akọrọghị onye ọbụla ihe ọbụla, n’ihi na egwu jupụtara ha obi.
[Ọtụtụ akwụkwọ mbụ na ụfọdụ ndị mgbe ochie enweghị amaokwu itoolu ruo na
nke iri abụọ 9–20.]
9 *Mgbe Jisọs biliri n’ọnwụ n’isi ụtụtụ n’ụbọchị mbụ nke izu, onye mbụ o gosiri onwe
ya bụ Meri Magdalin, onye ahụ o siri n’ahụ ya chụpụ mmụọ ọjọọ asaa.* 10 *Ọ lara gaa
kọrọ ndị ya na ha na-anọ na mbụ, bụ ndị nọrịị na-ebe akwa ma na-erukwa ụjụ.* 11 *Mgbe
ha nụrụ na ọ dị ndụ, na ọ hụkwala ya, ha ekweghị.*
12 *Mgbe ihe ndị a gasịrị, o gosiri mmadụ abụọ n’ime ha onwe ya n’ụdị ọzọ, mgbe ha
na-abanye n’ime obodo.* 13 *Ndị a laghachiri bịa kọọrọ ndị nke ọzọ ma ha ekwetakwaghị.*
14 *Emesịa, Jisọs gosiri ndị na-eso ụzọ ya iri na otu ahụ onwe ya, mgbe ha nọkọrọ
na-eri nri. Ọ baara ha mba n’ihi enweghị okwukwe ha nakwa mkpọchi obi ha, n’ihi na
ha jụrụ ikwenye n’ihe ndị ọzọ hụrụ ya gwara ha mgbe e mesịrị ka ọ si n’ọnwụ bilite.*
15 *Ọ gwara ha sị, “Gaanụ n’ime ụwa niile kwusaara ihe niile e kere eke oziọma.* 16
*Onye ọbụla kweerenụ na onye e mekwara baptizim ka a ga-azọpụta. Ma a ga-ama onye
ọbụla na-ekwereghị ikpe.* 17 *Ihe ịrịbama ndị a ga-esokwa ndị kwerenụ. Site n’aha m,
ha ga-achụpụ mmụọ ọjọọ; kwuokwa okwu n’asụsụ ọhụrụ dị iche iche.* 18 *Ha ga-eji aka
ha abụọ atụtụlie agwọ, ṅụọkwa nsi ma ọ gaghị emerụ ha ahụ ma otu. Ha ga-ebikwasị
ndị ọrịa aka, ahụ ga-adịkwa ha mma.”*
19 *Mgbe Onyenwe anyị Jisọs gwasịrị ha okwu ndị a, e weliri ya elu, baa n’eluigwe, ebe
ọ nọdụ ala n’akụkụ aka nri Chineke.* 20 *Ha pụrụ kwusaa oziọma n’ebe niile. Onyenwe
anyị nọnyekwaara ha, mee ka okwu ya guzosie ike site n’ihe ịrịbama dị iche iche nke
na-eso ya.*

# Oziọma Luk

*Mmalite*
[1] Ebe ọ bụ n’ọtụtụ mmadụ agbalịala otu ha nwere ike i detu n’usoro ihe niile
mezuru n’etiti anyị. [2] Dị ka e nyefere ha n’aka anyị idebe bụ ndị ahụ sitere na malite
jiri anya ha hụ ihe niile, ndị jikwa okwu a eje ozi. [3] Ekpebikwara m, ebe mụ onwe m
nyocharala ihe niile nke ọma site na mmalite, ka m dere gị ihe niile n’usoro, Tiofilọs,
gị onye dị elu a na-asọpụrụ. [4] Nke a ga-eme ka ị mata nke bụ eziokwu banyere ihe
ndị ahụ e ziri gị.

*Ozi banyere ọmụmụ Jọn omee baptizim*
[5] N’oge Herọd bụ eze Judịa, ọ dị otu onyeisi nchụaja aha ya bụ Zekaraya, onye
si n’otu ndị nchụaja nke Abija. Elizabet bụ nwunye ya, site n’agbụrụ Erọn. [6] Ha
abụọ bụ ndị ezi omume n’ihu Chineke. Ha debere iwu na ụkpụrụ niile Onyenwe
anyị nyere na-enweghị ntụpọ ọbụla. [7] Mana ha amụtaghị nwa, n’ihi na Elizabet bụ
nwanyị agaa, ha abụọ emeela nnọọ agadi.
[8] O ruru mgbe ọ bụ ndị otu Zekaraya ga-eje ozi, ọ nọ dịka onye nchụaja na-eje ozi
n’ihu Chineke. [9] A họpụtara ya site n’ife nza dị ka omenaala ndị nchụaja si dị ka ọ
bụrụ ya ga-abanye n’ime ime ụlọnsọ Onyenwe anyị ịchụ aja nsure ọkụ nke e ji ụda
na-esi isi ụtọ achụ. [10] Mgbe oge ịchụ aja ụda na-esi isi ụtọ ruru, igwe ndị mmadụ
bịara nọ n’ezi na-ekpe ekpere.
[11] Mgbe ahụ, mmụọ ozi Onyenwe anyị, onye guzo n’aka nri nke ebe ịchụ aja nke
ihe na-esi isi ụtọ mere ka ọ hụ ya anya. [12] Mgbe Zekaraya hụrụ ya, obi fepụrụ
ya, ọ tụkwara oke egwu. [13] Ma mmụọ ozi ahụ gwara ya sị, “Zekaraya atụla egwu,
Chineke anụla ekpere gị. Elizabet nwunye gị ga-atụrụ ime mụtara gị nwa nwoke. Ị
ga-akpọkwa aha ya Jọn. [14] Ọ ga-abụrụ gị ihe oke ọṅụ na obi ụtọ, ọtụtụ mmadụ ga-
aṅụrịkwa ọṅụ n’ihi ọmụmụ ya. [15] N’ihi na ọ ga-abụ onye dị ukwuu n’anya Onyenwe
anyị. Ọ gaghị aṅụkwa mmanya ọbụla, maọbụ ihe ọṅụṅụ ọbụla na-egbu egbu n’ihi
na site n’afọ nne ya ọ ga-abụ onye emejupụtara na Mmụọ Nsọ. [16] Ọ ga-akpọghachite
ọtụtụ ụmụ Izrel nye Onyenwe ha bụ Chineke ha. [17] Ma ọ ga-aga n’ihu Onyenwe anyị
n’ike mmụọ na ike nke Ịlaịja, tụgharịa obi ndị bụ nna n’ebe ụmụ ha nọ. Meekwa ka
ndị isiike tụgharịa obi, lekwasị anya n’amamihe nke ndị ezi omume, na ijikere ụmụ
mmadụ n’ihi Onyenwe anyị.”
[18] Zekaraya sịrị mmụọ ozi ahụ, “Olee otu m ga-esi mata na nke a ga-adị otu a?
Abụrụla m agadi. Nwunye m akakwaala nka.”
[19] Mmụọ ozi zara ya sị, “Abụ m Gebrel.* Ana m eguzo n’ihu Chineke. Ezitere m ka
m bịa gwa gị okwu ma wetara gị oziọma a. [20] Ma lee, ị ga-ada ogbi, ị gaghị ekwukwa
okwu ọbụla, tutu ruo mgbe ihe ndị a ga-emezu n’ihi na i kwenyeghị n’okwu m, nke
ga-emezu mgbe oge ya ruru.”
[21] Mgbe ihe ndị a niile na-eme, mmadụ ndị ahụ nọkwa na-eche Zekaraya ka ọ pụta.
O juru ha anya na ọ nọọla ọdụ n’ime ime ụlọnsọ ukwu ahụ. [22] Mgbe o mesịrị pụta, o
nwekwaghị ike ikwuru ha okwu. Ha ghọtara na ọ hụrụ ọhụ n’ime ụlọnsọ ahụ n’ihi
na ọ bụ aka ka o ji gwa ha okwu.
[23] Mgbe oge ịrụ ọrụ ya gwụsịrị, ọ laghachiri n’ụlọ ya. [24] Mgbe ụbọchị ndị ahụ
gasịrị, Elizabet bụ nwunye ya tụụrụ ime. O zoro onwe ya n’ime ụlọ ọnwa ise. [25] Ọ
sịrị, “Onyenwe anyị emeerela m nke a. O gosila m ihuọma ya n’ụbọchị ndị a, ma
wepụkwara m ihere n’etiti ndị nke m.”

* **1:19** 1:19 Mmụọ ozi nke na-eweta oziọma.

### *Ozi banyere ọmụmụ Jisọs*

26 Ma n'ọnwa isii ya, Chineke zigara mmụọ ozi ya, bụ Gebrel, ka ọ gaa n'obodo
Nazaret nke dị n'ime Galili. 27 Ka o jekwuru otu nwaagbọghọ na-amaghị nwoke bụ
onye otu nwoke aha ya bụ Josef, onye sitere n'agbụrụ Devid, kwere nkwa ịlụ. Aha
nwaagbọghọ a bụ Meri. 28 O jekwuru ya sị ya, "Ekele! Gị onye ihuọma dịkwasịrị.
Onyenwe anyị nọnyekwara gị."
29 Ma obi lọrọ ya mmiri nke ukwuu n'ihi okwu ya. O bidokwara ịtụgharị n'uche ya
ihe ekele a pụtara. 30 Ma mmụọ ozi ahụ sịrị ya, "Atụla egwu Meri, n'ihi na i chọtala
ihuọma n'ebe Chineke nọ. 31 Ma lee ị ga-atụrụ ime, mụọ nwa nwoke. Ị ga-akpọkwa
aha ya Jisọs. 32 Ọ ga-abụ nnukwu mmadụ onye a ga-akpọ Ọkpara Onye kachasị ihe
niile elu. Onyenwe anyị Chineke ga-enye ya ocheeze nna ya Devid. 33 Ọ ga-achị ụlọ
Jekọb ruo ebighị ebi, alaeze ya agaghị enwekwa ọgwụgwụ."
34 Meri sịrị mmụọ ozi ahụ, "Olee otu nke a ga-esi mee ebe m bụ nwaagbọghọ na-
amaghị nwoke?"
35 Mmụọ ozi ahụ sịrị ya, "Mmụọ Nsọ ga-abịakwasị gị, ike nke Onye kachasị ihe
niile elu ga-ekpuchikwa gị. Ya mere onye nsọ ahụ a ga-amụ, a ga-akpọ ya Ọkpara
Chineke. 36 Lekwa Elizabet onye ikwu gị atụrụla ime nwa nwoke n'agadi ya. Nke a
bụ ọnwa isii ya, bụ onye ahụ ha na-akpọ nwanyị aga. 37 N'ihi na ọ dịghị okwu sitere
na Chineke nke na-agaghị ere."
38 Meri zaghachiri sị, "Abụ m ohu Onyenwe anyị, ka ọ dịrị m dị ka i kwuru." Mgbe
ahụ mmụọ ozi ahụ hapụrụ ya laa.

### *Meri agaa ileta Elizabet*

39 N'oge ahụ, Meri biliri gaa ọsịịsọ n'otu obodo dị n'ugwu Juda. 40 N'ebe ahụ, ọ
banyere n'ụlọ Zekaraya, kelee Elizabet. 41 Mgbe Elizabet nụrụ ekele Meri, nwa nọ ya
n'afọ megharịrị ahụ. E mere ka Elizabet jupụta na Mmụọ nsọ. 42 O tiri mkpu n'oke
olu sị, "Onye a gọziri agọzi ka ị bụ n'etiti ụmụ nwanyị niile. Onye a gọziri agọzi ka
nwa ahụ ị bu n'afọ bụkwa. 43 Onye kwanụ ka m bụ na ihuọma dị otu a kpọrọ m na
nne Onyenwe m ga-abịa ileta m? 44 Ngwangwa m nụrụ olu ekele gị, nwa nọ m n'afọ
wuliri elu n'ọṅụ. 45 Ngọzị ga-adịrị onye ahụ kwere na Onyenwe anyị ga-emezu ihe o
kweere ya na nkwa ime."

### *Abụ Meri bụrụ*

46 Ma Meri sịrị,
"Mkpụrụobi m na-ebuli Onyenwe anyị elu
47 mmụọ m na-aṅụrị ọṅụ n'ime Chineke bụ Onye nzọpụta m,
48 n'ihi na o ledatala anya, lekwasị m,
bụ odibo ya dị ala.
Site ugbu a gaa n'ihu, ọgbọ niile ga-akpọ m onye a gọziri agọzi.
49 N'ihi na Onye dị ike emeelara m ihe dị ukwuu.
Aha ya dịkwa nsọ.
50 Ebere ya na-erute ndị niile na-atụ egwu ya
site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ.
51 O gosila ike aka ya;
ọ chụsasịala ndị dị mpako n'ime echiche obi ha.
52 O sitela n'ocheeze ndị eze dị ike kwatuo ha,
buliekwa ndị dị umeala n'obi elu.
53 O jirila ihe dị mma nyejuo ndị agụụ na-agụ afọ
ma ndị ọgaranya ka o zipụrụ n'aka efu.
54 O nyerela odibo ya bụ Izrel aka,
ọ na-echetakwa imere ya ebere.

55 Dị ka ọ gwara nna nna anyị ha,
nye Ebraham na ụmụ ụmụ ya ruo mgbe ebighị ebi.”
56 Meri nọnyeere ya ihe dịka ọnwa atọ ma mesie laghachi n’ụlọ ya.

### *Ọmụmụ Jọn omee baptizim*

57 Mgbe oge zuru ka Elizabet mụọ nwa, ọ mụrụ nwa nwoke. 58 Ndị agbataobi ya
na ndị ikwu ya, ndị nụrụ otu Chineke si gosi ya ebere dị ukwuu, bịara soro ya ṅụrịa
ọṅụ.
59 N’abalị nke asatọ ha bịara ibi nwata ahụ ugwu na ịgụ ya aha. Ha na-achọ ịgụ
ya Zekaraya bụ aha nna ya, 60 ma Nne ya sịrị, “Mba, a ga-agụ ya Jọn.”
61 Ha sịrị ya, “Ọ dịghị onye ọbụla n’etiti ndị ikwu gị na-aza aha ahụ.”
62 Ya mere, ha jiri ife aka jụọ nna ya, ihe ọ chọrọ ka akpọ nwata ahụ. 63 Ọ rịọrọ
ka e nye ya mbadamba ihe e ji ede ihe, o deere “Aha ya bụ Jọn.” Nke a jukwara
mmadụ niile anya. 64 Ngwangwa, ọnụ ya meghere, atọpụkwara ire ya. Ya ebido
ikwu okwu ma na-etokwa Chineke. 65 Ibubo wụrụ ndị agbataobi ha niile n’ahụ, ndị
mmadụ kọkwara akụkọ banyere ihe ndị a niile ruo obodo niile dị n’akụkụ ugwu
Judịa. 66 Ndị niile nụrụ akụkọ a chere n’obi ha na-ajụ sị, “Gịnịkwa ka nwa nke a gaje
ịbụ?” N’ihi na aka Onyenwe anyị dịnyeere ya.

### *Abụ Zekaraya*

67 E mere ka Zekaraya bụ nna ya jupụta na Mmụọ Nsọ. O buru amụma sị,
68 “Ngọzị dịrị Onyenwe anyị bụ Chineke nke Izrel,
n’ihi na ọ bịala leta ma gbapụtakwa ndị nke ya.
69 O welielara anyị Onye nzọpụta
site n’ụlọ odibo ya bụ Devid.
70 (Dị ka o kwuru na mgbe ochie, site n’ọnụ ndị amụma ya dị nsọ).
71 Na ọ ga-azọpụta anyị site n’aka ndị iro anyị
na sitekwa n’aka ndị niile kpọrọ anyị asị.
72 O meere ndị nna nna anyị ha ebere
site n’icheta ọgbụgba ndụ ya dị nsọ.
73 Iyi nke ọ ṅụụrụ nna anyị bụ Ebraham, kwekwa nkwa:
74 Na ọ ga-anapụta anyị site n’aka ndị iro anyị,
nyekwa anyị ike ife ya ofufe na-atụghị egwu.
75 N’ịdị nsọ na ezi omume n’ihu ya ụbọchị niile nke ndụ anyị.

76 “Ma gị nwa m, a ga-akpọ gị onye amụma nke Onye kachasị ihe niile elu;
n’ihi na ị ga-aga n’ihu Onyenwe anyị kwadoro ya ụzọ.
77 Ime ka ndị nke ya nwee amamihe nke nzọpụta
site na ịgbaghara mmehie ha.
78 N’ihi oke obi ebere Chineke anyị,
nke ọwụwa anyanwụ ga-ewetara anyị site n’igwe.
79 Ka ọ chakwasị ndị bi n’ọchịchịrị
na n’onyinyo nke ọnwụ,
na iduzi ụkwụ anyị n’ụzọ nke udo.”
80 Nwata ahụ toro, bụrụ onye dị ike n’ime mmụọ. O biri n’ime ọzara tutu ruo mgbe
oge zuru igosi ụmụ Izrel onwe ya.

## 2

### *Ọmụmụ Jisọs*

1 N’oge ahụ, Siza Ọgọstọs nyere iwu ka a gụọ ọnụ, detuo aha mmadụ niile bi n’ụwa
dum.* 2 (Nke a bụ ịgụ ọnụ na ide aha nke mbụ e mere mgbe Kwirinus bụ onye na-achị
Siria.) 3 Onye ọbụla gara n’obodo ya, ka e denye aha ya n’akwụkwọ.
4 Ya mere Josef hapụrụ Nazaret nke dị na Galili, gaa Betlehem nke dị na Judịa,
nke bụkwa obodo Devid, n’ihi na o si n’ụlọ na agbụrụ Devid pụta. 5 Ya na Meri,
nwaagbọghọ o kwere nkwa ịlụ, nke dịkwa ime, soro gaa ka o denye aha ha. 6 Mgbe
ha nọ ebe ahụ, oge ọ ga-eji mụọ nwa ya zuru. 7 Ọ mụrụ nwa nwoke mbụ ya. O ji
akwa kee ya, nibe ya n’ime ebe a na-enye anụ ụlọ nri, n’ihi na ha enwetaghị ebe
ndina n’ụlọ ndị ije.

### *Ndị ọzụzụ atụrụ na ndị Mmụọ Ozi*

8 Ma e nwere ndị ọzụzụ atụrụ† bi n’ọhịa n’akụkụ ebe ahụ, ndị na-eche igwe atụrụ ha
nche n’abalị. 9 Mmụọ ozi nke Onyenwe anyị pụtara ihe nye ha. Ebube Onyenwe anyị
mụwara gburugburu ha, oke egwu tụrụ ha. 10 Ma mmụọ ozi ahụ sịrị ha, “Unu atụla
egwu. Ana m ewetara unu oziọma nke oke ọṅụ nke ga-adịrị mmadụ niile. 11 N’ihi na
taa, n’obodo Devid ka a mụrụ Onye nzọpụta nye unu; ọ bụ Kraịst, Onyenwe anyị.
12 Nke a ga-abụrụ unu ihe ịrịbama, unu ga-ahụ nwata ọhụrụ e kechiri n’akwa, dina
n’ime ebe a na-enye anụ ụlọ nri.”
13 Na mberede, igwe ndị mmụọ ozi nke eluigwe pụtara soro mmụọ ozi a, bido
na-eto Chineke na-asị,
14 “Otuto dịrị Chineke n’ebe kachasị elu nke eluigwe.
Udo n’elu ụwa nye ndị niile ihe ha dị Chineke ezi mma.”
15 Mgbe ndị mmụọ ozi ahụ hapụrụ ha, laghachi n’eluigwe, ndị ọzụzụ atụrụ ahụ
sịrịtara onwe ha, “Bịanụ ka anyị jeruo Betlehem, ka anyị jiri anya anyị hụ ihe ndị a
merenụ, nke Onyenwe anyị mere ka anyị mara.”
16 Ha gara ọsịịsọ hụ Meri na Josef, na nwata ahụ ka o dina n’ime ebe a na-enye
anụ ụlọ nri. 17 Mgbe ha hụrụ nke a, ha mere ka a mata ihe niile a gwara ha banyere
nwantakịrị a. 18 Ihe ndị ọzụzụ atụrụ a kwuru juru ndị niile nụrụ ya anya. 19 Ma Meri
debere ihe ndị a niile n’obi ya, na-atụgharị ihe banyere ha n’obi ya. 20 Ndị ọzụzụ
atụrụ ahụ laghachiri, na-eto Chineke na-ebulikwa aha ya elu n’ihi ihe niile ha nụrụ
ma hụkwa, nke dịkwa ka a gwara ha.
21 Mgbe ụbọchị asatọ gasịrị, mgbe oge ruru ibi nwata ahụ ugwu, ha gụkwara ya
aha. Aha ha nyere ya bụ Jisọs, aha ahụ mmụọ ozi nyere tupu a dị ime ya.

### *I kubata Jisọs n’ime ụlọnsọ*

22 Mgbe oge zuru maka mmemme nke ịdị ọcha dị ka iwu Mosis siri dị, ha kutere
ya na Jerusalem iche ya n’ihu Onyenwe anyị 23 (dịka e dere ya n’iwu nke Onyenwe
anyị, “Nwa mbụ ọbụla nke bụ nwoke ka a ga-edo nsọ nye Onyenwe anyị”‡), 24 ha
chụrụ aja dị ka e nyere n’iwu Onyenwe anyị: “Ụmụ kpalakwukwu abụọ maọbụ ụmụ
nduru abụọ.”§
25 Ma lee, e nwere otu nwoke bi na Jerusalem aha ya bụ Simiọn, onye jupụtara
na Mmụọ Nsọ. Ọ bụ onye ezi omume bụrụkwa onye ji obi ya niile na-efe Chineke.
Ọ bụkwa onye na-ele anya maka nkasiobi nke ndị Izrel. 26 Ma Mmụọ Nsọ Chineke
mere ka ọ mata na ọ gaghị anwụ ruo mgbe ọ hụrụ Kraịst nke Onyenwe anyị. 27 Site
n’odudu nke Mmụọ Nsọ, ọ batara n’ụlọnsọ ukwu, ma mgbe nne na nna nwata ahụ bụ
Jisọs kubatara ya dị ka omenaala iwu si dị, 28 Simiọn kuuru ya n’aka, kelee Chineke
sị,
29 “Gị, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe dị ka i kwere na nkwa,

---

* **2:1** 2:1 Ụwa dum na-ekwu maka Rom mgbe ochie maọbụ mba niile ndị Rom na-achị. † **2:8** 2:8 Ndị ọzụzụ atụrụ Maọbụ, ndị na-elekọta atụrụ. ‡ **2:23** 2:23 Ọpụ 13:2,12 § **2:24** 2:24 Lev 12:8

ugbu a zilaga nwaodibo gị n’udo.
30 N’ihi na anya m ahụla nzọpụta gị,
31 nke i kwadoro n’ihu mba niile.
32 Ìhè nke ga-egosi ndị mba ọzọ ụzọ,
na ebube nke ndị gị Izrel.”
33 O juru nne na nna nwantakịrị ahụ anya ịnụ ihe ndị a e kwuru banyere ya.
34 Mgbe ahụ, Simiọn gọziri ha, sịkwa Meri nne ya, Lee, “Nwatakịrị a bụ onye e zitere
ka ọ bụrụ ọdịda na mbili nye ọtụtụ mmadụ n’Izrel, ọ ga-abụkwa ihe ama nke ọtụtụ
ga-ekwujọ. 35 Ọ bụkwa site n’ụzọ dị otu a ka a ga-ekpughe echiche nke dị ọtụtụ n’obi.
Mma agha ga-adụwakwa mkpụrụobi nke gị onwe gị.”
36 O nwekwara onye amụma nwanyị, aha ya bụ Ana, ada Fanuel nke si n’ebo Asha.
Ọ bụ ezigbo agadi nwanyị na-enweghị di, n’ihi na di ya nwụrụ mgbe ha biri naanị afọ
asaa. 37 Ọ nọọla dị ka nwanyị na-enweghị dị iri afọ asatọ na anọ. Ọ hapụghị ụlọnsọ,
kama ọ nọgidere n’efe ofufe ehihie na abalị, na-ibu ọnụ na-ekpe ekpere. 38 N’oge
ahụ ọ bịarutere n’ebe ha nọ, nye Chineke ekele, kwuo okwu banyere nwantakịrị ahụ
nye ndị niile na-ele anya maka mgbapụta Jerusalem.
39 Mgbe ha mesịrị ihe niile otu ọ dị n’iwu Onyenwe anyị, ha laghachiri obodo ha
bụ Nazaret nke dị n’ime Galili. 40 Ma nwata ahụ toro bụrụ onye dị ike; o jupụtara
n’amamihe, amara Chineke dịnyekwaara ya.

### *Jisọs agaa n’ụlọnsọ ukwuu*

41 N’afọ niile, ndị mụrụ ya na-aga Jerusalem n’ihi Mmemme Ngabiga. 42 Mgbe
o ruru afọ iri na abụọ, ha gara maka mmemme dị ka omenaala si dị.* 43 Mgbe e
mesịrị mmemme ahụ, ka ndị mụrụ ya na-alaghachi, nwata ahụ bụ Jisọs nọdụrụ na
Jerusalem. Ndị ha amataghị na o soghị ha na-alọta. 44 Ha chere na o sonyere n’etiti
njem. Ha gara ije otu ụbọchị tupu ha a malite ịchọ ya n’etiti ndị ikwu na ibe, na ndị
enyi ha. 45 Ma mgbe ha na-ahụghị ya, ha laghachiri Jerusalem na-achọkwa ya. 46 Ka
ụbọchị atọ gasịrị, ha hụrụ ya n’ụlọnsọ ukwu ebe ọ nọdụrụ n’etiti ndị ode akwụkwọ,
na-ege ha ntị na-ajụkwa ha ajụjụ. 47 Nghọta na ọsịsa ya juru ndị niile nụrụ okwu ya
anya. 48 Mgbe ndị mụrụ ya hụrụ ya, ọ tụrụ ha n’anya, ma nne ya sịrị ya, “Nwa m,
gịnị mere i ji mesoo anyị mmeso dị otu a? Mụ na nna gị nọ na-achọgharị gị?”
49 Ọ jụrụ ha sị, “Gịnị mere unu ji na-achọ m? Unu amaghị na aghaghị m ịnọ n’ụlọ
Nna m?” 50 Ma ha aghọtaghị ihe ọ gwara ha.
51 Mgbe ahụ, o sooro ha laghachi Nazaret ma na-erubekwara ha isi. Ma nne ya
dobere ihe ndị a niile n’obi ya. 52 Jisọs na-aga n’ihu n’amamihe na ogologo, ya na
ihuọma n’ebe Chineke na nke mmadụ nọ.

# 3

### *Nkwusa nke Jọn omee baptizim*

1 N’afọ nke iri na ise nke ọchịchị Tiberiọs Siza, mgbe Pọntiọs Pailet bụ onye na-achị
Judịa, ebe Herọd bụkwa onye na-achị akụkụ Galili, ma nwanne ya nwoke bụ Filip
na-achị akụkụ Iturịa na Trakona, Laisania bụkwa onye na-achị akụkụ Abilin, 2 mgbe
ahụ Anas na Kaịfas bụ ndịisi nchụaja, okwu Chineke bịakwutere Jọn nwa Zekaraya
n’ime ọzara. 3 Ọ gara n’ime obodo niile gbara Jọdan gburugburu na-ekwusa banyere
baptizim nke nchegharị maka mgbaghara mmehie. 4 Dịka e dere ya n’akwụkwọ
Aịzaya onye amụma sị,
“Otu onye na-eti mkpu n’ọzara na-asị,
‘Dozienụ ụzọ maka Onyenwe anyị,

* **2:42** 2:42 Ọ bụ naanị Luk dere banyere Jisọs isonyere ndị mụrụ ya gaa maka mmemme a.

meenụ ka okporoụzọ ya guzozie.
5 A ga-ekpoju ndagwurugwu ọbụla,
ugwu ọbụla na ugwu nta ọbụla ka a ga-emekwa ka ọ dị ala.
Ụzọ gbagọrọ agbagọ ka a ga-eme ka o guzozie nke ọma,
meekwa ka ụzọ ọjọọ niile dị larịị.
6 Mmadụ niile ga-ahụkwa nzọpụta Chineke.' "*
7 Jọn sịrị igwe mmadụ ndị na-apụta ka o mee ha baptizim sị, "Unu ụmụ ajụala!
Onye dọrọ unu aka na ntị sị unu gbanarị ọnụma nke na-abịa? 8 Mịanụ mkpụrụ na-
egosipụta nchegharị unu. Unu amalitekwala na-asị onwe unu, 'Anyị nwere Ebraham
dịka nna.' N'ihi na agwa m unu na Chineke pụrụ isite na nkume ndị a mepụtara
Ebraham ụmụ. 9 Ọ bụladị ugbu a, atụkwasịla anyụike na mgbọrọgwụ osisi, osisi
ọbụla nke na-adịghị amị ezi mkpụrụ ka a ga-egbutu tụba ya n'ime ọkụ."
10 Ma igwe mmadụ ahụ jụrụ ya sị, "Gịnị ka anyị kwesiri ime?"
11 Ọ zara ha sị, "Onye ọbụla nwere uwe abụọ, ya nye onye ọ na-adịghị nke o nwere
otu. Onye nwere nri ya meekwa otu ahụ."
12 Ọ bụladị ndị ọna ụtụ bịakwara ka e mee ha baptizim. Ha sịrị ya, "Onye ozizi,
gịnị ka anyị kwesiri ime?"
13 Ọ sịrị ha, "Unu anatala karịa otu unu kwesiri ịnata."
14 Ndị agha bịakwara jụọ ya sị, "Gịnịkwa ka anyị kwesiri ime?"
Ọ sịrị ha, "Unu ejikwala ike apụnara ndị mmadụ ego ha; unu ebokwala ndị mmadụ
ebubo ụgha, ka afọ ju unu n'ụgwọ a na-akwụ unu."
15 Ndị mmadụ ji olileanya na-eche na-atulekwa n'obi ha ma Jọn ọ bụ Kraịst ahụ.
16 Ma Jọn zara sị ha, "Eji m mmiri na-eme unu baptizim, ma otu onye dị ike karịa m
ga-abịa, onye m na-erughị ịtọpụ eriri akpụkpọụkwụ ya. Ọ ga-eji Mmụọ Nsọ na ọkụ
mee unu baptizim. 17 Ihe ịfụcha ọka ya dị n'aka ya, iji zachaa ebe ịzọcha ọka ya nke
ọma, ka e kponye ezi mkpụrụ ọka wiiti n'ime ọba, ma kpoba igbugbo ọka n'ime ọkụ
nke a na-apụghị imenyụ emenyụ." 18 O ji ọtụtụ okwu ọzọ dị iche iche dụọ ha ọdụ
ma kwusaakwara ha oziọma.
19 Ma Eze Herọd, onye ọ tara ụta maka Herodịas nwunye nwanne ya nwoke, nakwa
maka ihe ọjọọ dị iche iche ndị o mere, 20 tụkwasịkwara ihe n'elu ihe ndị a niile, site
na ịtụnye Jọn n'ụlọ mkpọrọ.

### *Baptizim na usoro ndị agbụrụ Jisọs*

21 Mgbe e mechara ndị niile baptizim, ma mechakwa Jisọs baptizim, mgbe ọ na-ekpe
ekpere, eluigwe meghere. 22 Mmụọ Nsọ sikwa n'elu rịdata dị ka nduru, bekwasị ya,
mgbe ahụ, otu olu sitere n'eluigwe daa sị, "Ị bụ Ọkpara m, onye m hụrụ n'anya, ihe
gị dị m ezi mma."
23 Jisọs agbaala ihe dị ka iri afọ atọ mgbe o bidoro ọrụ ya. Ọ bụ nwa (dịka ndị
mmadụ chere) Josef,

onye bụ nwa Heli; 24 Heli abụrụ nwa Matat,
nwa Livayị, nwa Meliki,
nwa Janayi, nwa Josef;
25 nwa Matatiyas, nwa Emọs,
nwa Nehum, nwa Esili,
nwa Nagayị; 26 nwa Maat,
nwa Matatiyas, nwa Semein,
nwa Josek, nwa Joda;
27 nwa Joanan, nwa Resa,
nwa Zerubabel, nwa Shealtiel,

* **3:6** 3:6 Aịz 40:3-5

nwa Neri; 28 nwa Meliki,
nwa Adi, nwa Kosam,
nwa Elmadam, nwa Er,
29 nwa Joshua, nwa Elieza,
nwa Jorim, nwa Matat,
nwa Livayị; 30 nwa Simiọn,
nwa Juda, nwa Josef,
nwa Jonam, nwa Eliakịm;
31 nwa Melea, nwa Mena,
nwa Matata, nwa Netan,
nwa Devid; 32 nwa Jesi,
nwa Obed, nwa Boaz,
nwa Salmọn, nwa Nashọn;
33 nwa Aminadab, nwa Ram,†
nwa Hezrọn, nwa Perez,
nwa Juda; 34 nwa Jekọb,
nwa Aịzik, nwa Ebraham,
nwa Tera, nwa Nahọ;
35 nwa Serug, nwa Reu,
nwa Peleg, nwa Eba,
nwa Shela; 36 nwa Kenan,
nwa Aafaksad, nwa Shem,
nwa Noa, nwa Lamek;
37 nwa Metusela, nwa Enọk,
nwa Jared, nwa Mahalalel,
nwa Kenan; 38 nwa Enọsh,
nwa Set, nwa Adam,
nwa Chineke.

# 4

*Ọnwụnwa Jisọs*

1 Jisọs, onye jupụtara na Mmụọ Nsọ, sitere na Jọdan lọta. Mmụọ nsọ duuru ya baa
n'ọzara. 2 Ebe ahụ ka ekwensu nwara ya ọnwụnwa iri ụbọchị anọ. N'ụbọchị ndị
ahụ niile o righị nri ọbụla. N'ikpeazụ agụụ gụrụ ya.
3 Ekwensu sịrị ya, "Ọ bụrụ na ị bụ Ọkpara Chineke, gwa nkume a ka ọ ghọọ
achịcha."
4 Jisọs zara ya sị, "E dere ya, 'Ọ bụghị naanị site na achịcha ka mmadụ ga-eji dị
ndụ.'* "
5 Ekwensu duuru ya rigoo n'ebe dị elu, gosi ya alaeze niile nke ụwa, n'otu ntabi
anya. 6 Ọ gwara ya sị, "M ga-enye gị ikike niile ndị a na ebube ha. Ọ bụ m ka e nyere
ha, e nwere m ike inye ha onye ọbụla m chọrọ inye ha. 7 Ya mere, ọ bụrụ na ị kpọọ
isiala nye m, ha ga-abụ nke gị."
8 Jisọs zara ya sị, "E deela ya: 'Ị ga-akpọ isiala nye Onyenwe anyị Chineke gị, naanị
ya ka ị ga-efekwa.'† "
9 Ekwensu duuru ya gaa Jerusalem, mee ka o guzo n'ebe dịkarịsịrị elu nke ụlọnsọ
ukwu ahụ. Ọ sịrị ya, "Ọ bụrụ na ị bụ Ọkpara Chineke, si n'ebe a tụda onwe gị n'ala.
10 N'ihi na e dere ya,
" 'Ọ ga-enye ndị mmụọ ozi ya iwu banyere gị,
ichekwa gị nke ọma;

† **3:33** 3:33 N'akwụkwọ ụfọdụ i nwere ike ihu nwa Admin, nwa Anai. * **4:4** 4:4 Dit 8:3 † **4:8** 4:8 Dit 6:13

11 ha ga-ebuli gị elu n’aka ha,
ka ị ghara ịkpọbi ụkwụ gị na nkume.’‡”
12 Jisọs zara ya sị, “E kwuola ya, Anwala Onyenwe anyị Chineke gị ọnwụnwa.§”
13 Mgbe ekwensu nwasịrị ya ọnwụnwa ndị a niile, ọ hapụrụ ya ruo mgbe ohere
ọzọ dapụtara.

*Jisọs agaa Nazaret*

14 Jisọs lọghachiri na Galili n’ike nke Mmụọ Nsọ. Akụkọ banyere ya gbasara ruo
akụkụ obodo niile. 15 O ziri ihe n’ọtụtụ ụlọ ekpere ha, mmadụ niile na-etokwa ya.
16 Mgbe o rutere Nazaret ebe ọ nọrọ too, n’ụbọchị izuike, ọ gara n’ụlọ ekpere dị
ka ọ dị mbụ eme. O guzoro ọtọ ịgụ akwụkwọ nsọ. 17 E nyere ya akwụkwọ nke onye
amụma Aịzaya dere. O meghere ya chọta ebe e dere sị,
18 “Mmụọ nke Onyenwe anyị dị n’ahụ m,
n’ihi na o teela m mmanụ
ka m kwusaa oziọma nye ndị ogbenye.
O zitela m ikwupụta inwere onwe nye ndị mkpọrọ,
ya na ịhụ ụzọ nye ndị kpuru ìsì,
ime ka ndị a na-emegbu emegbu nwere onwe ha.
19 Ikwupụta afọ Onyenwe anyị ga-eme amara.”*
20 O mechiri akwụkwọ ahụ nyeghachi ya onye ahụ na-eje ozi, nọdụ ala. Ndị mmadụ
niile nọ n’ụlọ nzukọ ahụ legidere ya nnọọ anya. 21 Ma o bidoro ịgwa ha sị, “Taa ka
ihe ndị a e dere n’akwụkwọ nsọ a mezuru na ntị unu.”
22 Mmadụ niile kwuru okwu ọma banyere ya n’ihi okwu amara niile si ya n’ọnụ
pụta nke mere na ha jụrịtara onwe ha sị, “Onye a, ọ bụghị nwa nwoke Josef?”
23 Ọ sịrị ha, “N’ezie, amaara m na unu ga-atụrụ m ilu a: ‘Dibịa, gwọọ onwe gị!’
Sikwa m, ‘Ihe ndị ahụ niile anyị nụrụ ị na-eme na Kapanọm mee ha n’ebe a bụ obodo
gị.’ ”
24 Ọ gara n’ihu sị, “Ma ị gwa unu eziokwu, o nweghị onye amụma ọbụla a na-
anabata nke ọma n’obodo a mụrụ ya. 25 N’ezie, chetakwanụ na e nwere ọtụtụ ụmụ
nwanyị di ha nwụrụ anwụ n’oge Ịlaịja onye amụma. N’oge oke ụnwụ dara n’ala ahụ
dum, mgbe e mechiri eluigwe na mmiri ezoghị n’ala Izrel afọ atọ na ọnwa isii. 26 Ma
e zigaghị Ịlaịja ka o jekwuru onye ọbụla n’ime ha karịakwa nwanyị di ya nwụrụ
anwụ n’obodo Zarefat n’akụkụ Saịdọn. 27 N’oge Ịlaisha onye amụma, e nwere ọtụtụ
ndị ekpenta n’ala Izrel, ma o nweghị onye e mere ka ọ dị ọcha n’etiti ha karịakwa
Neeman onye Siria.”
28 Mgbe ndị nọ n’ụlọ ekpere ahụ nụrụ nke a, iwe were ha nke ukwuu. 29 Ha biliri,
kwapụ ya site n’obodo ahụ, dọkpụrụ ya gaa n’elu ugwu nke e wukwasịrị obodo ahụ
ka ha nwee ike tụpụ ya site n’ugwu ahụ. 30 Ma o sitere n’etiti igwe mmadụ ahụ pụọ,
gawara onwe ya.

*Jisọs achụpụ mmụọ ọjọọ*

31 O sitere n’ebe ahụ gaa Kapanọm, obodo dịkwa na Galili. N’ụbọchị izuike, o
bidoro izi ha ihe. 32 Ozizi ya juru ha anya, n’ihi na okwu ya nwere ikike.
33 Otu nwoke nọ n’ime ụlọ ekpere ahụ, onye mmụọ na-adịghị ọcha bi n’ime ya. O
tiri mkpu n’oke olu, 34 “Hapụ anyị! Gịnị ka ị na-achọ n’ebe anyị nọ, gị, Jisọs onye
Nazaret? Ị bịara ka ị laa anyị n’iyi? Ama m onye ị bụ, Onye Nsọ nke Chineke!”
35 Jisọs baara ya mba sị, “Nọrọ jii! Si n’ime ya pụta.” Mgbe ahụ mmụọ ọjọọ ahụ
tụdara ya n’ala n’ihu ha niile, o sikwa n’ime ya pụọ ma o merụghị ya ahụ.

‡ **4:11** 4:11 Abụ 91:11,12 § **4:12** 4:12 Dit 6:16 * **4:19** 4:19 Aịz 61:1,2

36 Ihe ndị a juru ha niile anya, ha jụrịtara ibe ha sị, “Gịnị bụ ozizi nke a? O ji
ịchị isi na ike na-enye mmụọ na-adịghị ọcha ndị a iwu, ha na-apụtakwa!” 37 Akụkọ
banyere ya gbasara jeruo obodo niile dị ebe ahụ gburugburu.

*Jisọs agwọọ ọtụtụ ndị ọrịa*

38 Mgbe ọ hapụrụ ụlọ ekpere ahụ gaa n’ụlọ Saimọn. Nne nwunye Saimọn nwere
ahụ ọkụ, ha rịọrọ ya ka o nyere ya aka. 39 O guzoro n’ihu ya, ma baara ahụ ọkụ ahụ
mba, ọ hapụrụ ya n’otu ntabi anya ahụ. O bilikwara lee ha ọbịa.
40 Mgbe anyanwụ na-ada, ọtụtụ ndị nwere ndị na-arịa ọrịa dị iche iche kpọọrọ ha
bịakwute Jisọs. O bikwasịrị ha niile aka n’otu n’otu, gwọọ ha. 41 Mmụọ ọjọọ dị iche
iche si n’ime ọtụtụ mmadụ pụta na-eti mkpu na-asị, “Ị bụ Ọkpara Chineke.” Ma ọ
baara ha mba, o kweghị ka ha kwuo okwu, n’ihi na ha matara na ọ bụ Kraịst.
42 Mgbe chi bọrọ, ọ pụrụ gaa ebe naanị ya nọ. Ndị mmadụ nọ na-achọgharị ya;
mgbe ha bịaruru ebe ọ nọ, ha gbalịsịrị ike ime ka ọ ghara ịhapụ ha. 43 Ma ọ sịrị ha,
“Aghaghị m ikwusa oziọma alaeze Chineke n’obodo ndị ọzọ, n’ihi na ọ bụ n’ihi ya ka
e zitere m.” 44 Ọ gara n’ihu na-ekwusa oziọma n’ụlọ ekpere niile dị na Judịa.

# 5

*Ọkpụkpọ ndị mbụ na-eso ụzọ ya*

1 Otu oge, ka Jisọs guzo n’akụkụ ọdọ mmiri Genesaret.* Igwe mmadụ gbara ya
gburugburu ka ha nụrụ okwu Chineke. 2 Ọ hụrụ n’ọnụ mmiri ahụ, ụgbọ mmiri abụọ
nke ndị ọkụ azụ nwe ha hapụrụ gaa ịsa ụgbụ ha ji egbu azụ. 3 Ọ banyere n’ime otu
ụgbọ mmiri ndị ahụ, nke bụ nke Saimọn, ọ rịọrọ ya ka ọ kwọrọ ya banyetụ ntakịrị
n’ime mmiri. Ọ nọdụrụ ala n’ime ya bido na-ezi igwe mmadụ ihe.
4 Mgbe o kwusiri okwu, ọ gwara Saimọn sị, “Banyetụkwuo n’ime mmiri, tụnye
ụgbụ gị ka i gbute azụ.”
5 Saimọn zara sị, “Nna anyị ukwuu, anyị rụsịrị ọrụ ike abalị niile na-egbutaghị ihe
ọbụla, ma otu i sịrị kwuo, aga m awụnye ụgbụ azụ niile.”
6 Mgbe ha mere nke a, ha gbutere ọtụtụ azụ nke mere na ụgbụ azụ ha malitere
ịdọkasị. 7 Ha kpọrọ ndị ọkụ azụ ibe ha nọ n’ụgbọ mmiri ọzọ ka ha bịa nyere ha aka.
Ha bịara kpojuo azụ n’ụgbọ mmiri abụọ ahụ nke malitere imikpu.
8 Ma mgbe Saimọn Pita hụrụ nke a, ọ dara n’ukwu Jisọs sị, “Si n’ebe m nọ pụọ,
Onyenwe m, n’ihi na abụ m onye mmehie.” 9 N’ihi na o juru ya na ndị ya na ha so
anya ịhụ ọtụtụ azụ ndị a ha gbutere. 10 Ọ bụladị Jemis na Jọn ụmụ Zebedi, ndị ha na
Saimọn na-arụkọ ọrụ, ka ihe a jukwara anya.
Mgbe ahụ Jisọs gwara Saimọn sị, “Atụla egwu, n’ihi na site ugbu a gaa n’ihu, ị ga
na-akụta mmadụ.” 11 Mgbe ha kwọpụtara ụgbọ mmiri ha n’elu ala, ha hapụrụ ihe
niile soro ya.

*Nwoke onye ekpenta*

12 Mgbe Jisọs nọ n’otu obodo, otu nwoke onye ekpenta juru ahụ, bịara daa, kpudo
ihu ya n’ala mgbe ọ hụrụ ya, rịọ ya sị, “Onyenwe m, ọ bụrụ na ị chọrọ, ị pụrụ ime
ka m dị ọcha.”
13 Jisọs setịpụrụ aka ya metụ ya sị, “Achọrọ m, bụrụ onye dị ọcha!” Ngwangwa
ekpenta ahụ hapụrụ ya.
14 O nyere ya iwu, “A gwakwala onye ọbụla, kama gaa gosi onye nchụaja onwe gị,
chụọkwa aja dị ka Mosis nyere n’iwu maka ime ka ị dị ọcha, ka ọ bụrụ ihe ama nye
ha.”

* **5:1** 5:1 Maọbụ, osimiri Galili

15 Ma akụkọ banyere ya gbasara karịa, nke mere na igwe mmadụ bịara ịnụrụ ihe ọ
na-ekwu, na ka a gwọọkwa ha nrịa nrịa. 16 Ma site n'oge ruo n'oge, Jisọs na-ewezuga
onwe ya gaa n'ebe ọ ga-anọ naanị ya ikpe ekpere.

### *Ọgwụgwọ onye akụkụ ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ*

17 Otu ụbọchị, mgbe ọ nọ na-ezi ndị mmadụ ihe, ndị Farisii na ndị ozizi iwu (sitere
n'obodo nta niile dị na Galili na Judịa na Jerusalem bịa nọdụkwa ebe) ahụ. Ike
Chineke dịnyekwaara ya ịgwọ ndị ọrịa. 18 N'oge ahụ ndị ikom ụfọdụ bu otu nwoke
akụkụ ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ n'ihe ndina ya, bịara gbalịa isite n'ọnụ ụzọ ụlọ
ahụ bubata ya tọgbọ ya n'ụkwụ ya. 19 Mgbe ha na-enweghị ike ime nke a n'ihi igwe
mmadụ, ha rigooro n'elu ụlọ, site n'oghere wetuo nwoke ahụ n'ute ya n'etiti igwe
mmadụ n'ihu Jisọs.
20 Mgbe Jisọs hụrụ okwukwe ha, ọ sịrị, "Enyi m, a gbagharala gị mmehie gị."
21 Ndị Farisii na ndị ozizi iwu malitere iche n'ime obi ha sị, "Onye bụ onye a
na-ekwulu Chineke? Onye pụrụ ịgbaghara mmadụ mmehie, ma ọ bụghị naanị
Chineke?"
22 Mgbe Jisọs matara ihe ha na-ajụ, ọ zara ha sị, "Gịnị mere unu ji na-eche ihe ndị
a n'obi unu? 23 Olee nke ka mfe ikwu: Ọ bụ a gbagharala gị mmehie gị niile, ka ọ bụ ị
sị, Bilie jee ije? 24 Ma ka unu mata na Nwa nke Mmadụ nwere ikike n'ụwa ịgbaghara
mmehie." Ọ sịrị onye ahụ akụkụ ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ, "Asị m gị, bilie, chịrị
ute gị laa n'ụlọ gị!" 25 Ngwangwa, o biliri ọtọ n'ihu mmadụ niile, chịrị ihe ndina ya
bido na-eto Chineke na-ala n'ụlọ ya. 26 Ihe ndị a juru onye ọbụla anya, ha tokwara
Chineke. Oke egwu jupụtakwara ha n'ahụ, ha sịrị, "Anyị ahụla ihe ebube taa."

### *Ọkpụkpọ Livayị*

27 Mgbe nke a gasịrị, ọ pụrụ hụ otu onye ọna ụtụ aha ya bụ Livayị, ka ọ nọdụrụ
ala n'ụlọ ịnakọta ụtụ ya. Ọ sịrị ya, "Soro m." 28 Ngwangwa, o biliri, hapụ ihe niile
soro ya.
29 Emesịa, Livayị kwadooro Jisọs oke oriri n'ụlọ ya, ọtụtụ igwe ndị ọna ụtụ na ndị
ọzọ soo ha n'oriri ahụ. 30 Ma ndị Farisii na ndị ozizi iwu tamuru ntamu na-ajụ ndị
na-eso ụzọ ya sị, "Gịnị mere unu ji soro ndị ọna ụtụ na ndị mmehie na-erikọ nri
na-aṅụkọkwa ihe ọṅụṅụ?"
31 Jisọs zara sị, "Mkpa dibịa adịghị akpa ndị ahụ dị ike, kama ọ bụ ndị ahụ na-
esighị ike. 32 Abịaghị m ịkpọ ndị ezi omume, kama abịara m ịkpọ ndị mmehie ka ha
chegharịa."

### *Ajụjụ banyere ibu ọnụ*

33 Ha sịrị, "Ndị na-eso ụzọ Jọn na ndị na-eso ụzọ ndị Farisii na-ebu ọnụ, na-ekpe
ekpere oge niile, ma ndị na-eso ụzọ gị na-eri, na-aṅụkwa."
34 Jisọs sịrị ha, "Ndị a kpọrọ oriri n'ọlụlụ di na nwunye, ha ga-ebu ọnụ mgbe ha
na onye na-alụ nwunye ọhụrụ nọ? 35 Ma oge na-abịa mgbe a ga-ewepụ onye na-alụ
nwunye n'etiti ha, mgbe ahụ ka ha ga-ebu ọnụ."
36 Ọ tụụrụ ha ilu a, "O nweghị onye na-adọkara akwa ọhụrụ were ya kwachie
akwa ochie. Ọ bụrụ na e mee nke a, ọ pụtara na a dọwaala akwa ọhụrụ ahụ n'ihi na
nke ahụ eji kwachie ya agaghị adaba. 37 N'ụzọ dị otu a kwa, mmadụ adịghị agbanye
mmanya ọhụrụ dị ike n'ime karama akpụkpọ ochie. N'ihi na ike si na mmanya ọhụrụ
ahụ ga-eme ka karama ahụ gbawaa. Mmanya ahụ ga-awụfukwa, karama ahụ a laa
n'iyi. 38 Ma ọ dị mma ịgbanye mmanya ọhụrụ n'ime karama akpụkpọ ọhụrụ. 39 O
nweghị onye ṅụsịrị mmanya ochie ga-achọ ịṅụ mmanya ọhụrụ, n'ihi na ọ ga-asị,
'Nke ochie ahụ ka mma.' "

# 6

*Onyenwe Ụbọchị Izuike*

1 N'otu ụbọchị izuike, mgbe Jisọs na-agafe n'ubi a kụrụ ọka. Ndị na-eso ụzọ ya
malitere ịghọrọ ụfọdụ n'ime ogbe ọka ndị ahụ, na-amazu ha n'aka, ma na-ata ha.
2 Ụfọdụ ndị Farisii sịrị, "Gịnị mere unu ji na-eme ihe megidere iwu n'ụbọchị izuike?"
3 Jisọs zara ha sị, "Ọ bụ na unu agụtaghị ihe Devid mere mgbe agụụ gụrụ ya na ndị
so ya? 4 Otu o si banye n'ụlọ Chineke, were achịcha a na-eche n'ihu ya, nyetụkwa ndị
ya na ha so, achịcha nke onye ọbụla na-ekwesighị ịta ma ọ bụghị naanị ndị nchụaja."
5 Mgbe ahụ ọ gwara ha sị, "Nwa nke Mmadụ bụ Onyenwe Ụbọchị Izuike."
6 N'ụbọchị izuike ọzọ, ọ banyere n'ụlọ ekpere na-ezi ihe. Otu nwoke nọkwa n'ebe
ahụ onye aka nri ya kpọnwụrụ akpọnwụ. 7 Ndị Farisii na ndị ode akwụkwọ na-achọ
ụzọ ha ga-esi boo ya ebubo, ya mere ha lekwasịrị ya anya ịhụ ma ọ ga-agwọ ọrịa
n'ụbọchị izuike. 8 Ma ebe ọ maara ihe ha na-ezube n'obi ha, ọ kpọrọ nwoke ahụ nke
aka ya kpọnwụrụ akpọnwụ sị ya, "Bilie bịa guzoro n'etiti ebe a." Nwoke ahụ pụtara
bịa guzoro ebe ahụ.
9 Mgbe ahụ Jisọs sịrị ha, "Ka m jụọ unu, gịnị ziri ezi n'iwu ime n'ụbọchị izuike; ọ
bụ ime ihe ọma ka ọ bụ ime ihe ọjọọ; ịzọpụta ndụ ka ọ bụ ịla ndụ n'iyi?"
10 Mgbe o lesiri ha niile anya gburugburu, ọ sịrị ya, "Setịpụ aka gị." O mere nke
a, aka ya dịkwara mma ọzọ. 11 Ha were iwe nke ukwuu ma malite na-ekwurịtara
n'etiti onwe ha ihe ha nwere ike ime Jisọs.

*Ndị ozi iri na abụọ*

12 N'ụbọchị ndị ahụ, ọ gara rigoro n'elu ugwu ikpe ekpere. Ọ nọrọ abalị ahụ niile
na-ekpe ekpere nye Chineke. 13 Mgbe chi bọrọ, ọ kpọrọ ndị niile na-eso ụzọ ya, site
n'ime ha họrọ mmadụ iri na abụọ ndị ọ kpọrọ ndị ozi ya.*

14 Saimọn (onye ọ kpọrọ Pita) na Andru nwanne ya,
Jemis
Jọn,
Filip
Batalomi.
15 Matiu
Tọmọs,
Jemis nwa Alfiọs,
Saimọn onye a na-akpọ Zilọt.
16 Judas nwa Jemis
na Judas Iskarịọt onye raara ya nye.

*Ngọzị na ọbụbụ ọnụ*

17 Ya na ha rịdatara ga n'ebe ala dị larịị. Igwe ndị na-eso ụzọ ya na oke igwe
mmadụ sitere na Judịa, na Jerusalem nakwa obodo dị na nsọtụ mmiri nke Taịa na
Saịdọn. 18 Ndị bịara ịnụrụ okwu ya na ka a gwọọ ha ọrịa ha. A gwọkwara ọtụtụ ndị
mmụọ na-adịghị ọcha na-esogbu. 19 Igwe mmadụ ahụ gbalịrị ịmetụ ya aka, n'ihi na
ike dị ukwuu si ya n'ahụ na-apụ na-agwọ ha niile.
20 O weliri anya lee ndị na-eso ụzọ ya, sị ha,
"Ngọzị na-adịrị unu bụ ndị ogbenye,
n'ihi na alaeze Chineke bụ nke unu.
21 Ngọzị na-adịrị unu ndị agụụ na-agụ ugbu a,
n'ihi na afọ ga-eju unu.

---

* **6:13** 6:13 Mgbe ọbụla ị na-achọ inwe mkpebi banyere ihe dị mkpa, wepụta oge kpee ekpere dịka Jisọs mere n'amaokwu iri na abụọ ruo nke iri na atọ.

Ngọzị na-adịrị unu ndị na-ebe akwa ugbu a,
n'ihi na unu ga-achị ọchị.
22 Ngọzị na-adịrị unu mgbe ndị mmadụ na-akpọ unu asị,
mgbe ha na-achụpụ unu, na-akparị unu,
na-ajụ aha unu,
n'ihi Nwa nke Mmadụ.
23 "Ṅụrịanụ ọṅụ ma wuliekwanụ elu n'ihi ọṅụ n'ụbọchị ahụ, n'ihi na ụgwọ ọrụ
unu dị ukwuu n'eluigwe. N'ihi na otu a ka ndị nna nna ha mesoro ndị amụma.
24 "Ma ahụhụ na-adịrị unu ndị ọgaranya,
n'ihi na unu eketala nkasiobi unu.
25 Ahụhụ na-adịrị ndị afọ juru ugbu a,
n'ihi na agụ ga-agụkwa unu.
Ahụhụ na-adịrị ndị na-achị ọchị ugbu a,
n'ihi na unu ga-eru ụjụ, bee akwa.
26 Ahụhụ na-adịrị unu mgbe ndị mmadụ niile na-ekwu okwu ọma gbasara unu,
n'ihi na otu a ka ndị bụ nna ha mesoro ndị amụma ụgha."

*Ịhụ ndị iro n'anya*

27 "Ma a na m agwa unu ndị na-ege m ntị: hụnụ ndị iro unu n'anya, mekwaaranụ
ndị kpọrọ unu asị ihe ọma. 28 Gọzienụ ndị na-abụ unu ọnụ, ma kpekwaaranụ ndị
na-akparị unu ekpere. 29 Ọ bụrụ na onye ọbụla a maa gị ụra n'otu ntị, tụgharịara
ya ntị gị nke ọzọ. Ọ bụrụkwa na onye ọbụla anara gị uwe ahụ gị, nyekwa ya uwe
ime ahụ gị. 30 Nye onye ọbụla rịọrọ gị ihe. Ọ bụrụkwa na mmadụ ewere ihe bụ nke
gị, agala ịnapụta ya. 31 Dịka unu si chọọ ka ndị mmadụ mesoo unu, sitekwanụ otu a
na-emeso ha.
32 "Ọ bụrụ naanị ndị hụrụ unu n'anya ka unu na-ahụ n'anya, gịnị ga-abụ uru unu?
N'ihi na ọbụladị ndị mmehie, ọ bụ ndị hụrụ ha n'anya ka ha na-ahụkwa n'anya. 33 Ọ
bụrụkwa naanị ndị na-emere unu ihe ọma ka unu na-emere ihe ọma, gịnị ga-abụ uru
unu? N'ihi na ndị mmehie na-enyekwara ndị na-enyere ha aka aka. 34 Ọ bụrụkwa na
unu agbazinye naanị ndị nwere ike ịkwụghachi unu ihe, gịnị ga-abụ uru unu? N'ihi
na ndị mmehie na-agbazinyekwa ndị mmehie ibe ha na-atụ anya ka a kwụghachikwa
ha n'ozuzu oke. 35 Hụnụ ndị iro unu n'anya, na-emekwa ezi ihe nye ha, gbazinyenụ
ndị nọ na mkpa ihe ha chọrọ, na-eleghị anya na ha ga-akwụghachi unu. Mgbe ahụ,
ụgwọ ọrụ unu ga-adị ukwuu, unu ga-egosikwa na unu bụ ụmụ nke Onye kachasị ihe
niile elu, n'ihi na ebere ya na-adịrị ndị ajọ omume na ndị na-enweghị mmụọ ekele
n'ime ha. 36 Nweenu obi ebere dị ka Nna unu si nwee obi ebere.

*Ikpe ndị ọzọ ikpe*

37 "Unu ekpela ndị ọzọ ikpe, ka a ghara ikpekwa unu ikpe. Unu amala ndị ọzọ ikpe
ka a ghara ịma unu ikpe. Gbagharanụ ndị ọzọ, a ga-agbagharakwa unu. 38 Nyenụ,
n'ihi na a ga-enyekwa unu. Onyinye unu ga-anata ga-abụ nke juru eju, nke a bịadara
nke ọma, yọkọtakwa ayọkọta nke na-ejubiga oke ka a ga-adọkwasị gị n'ahụ; n'ihi na
ọ bụ ihe i na-eji atụ ihe ka a ga-eji tụọrọ gị."
39 Ọ tụkwaara ha ilu a, "Onye ìsì ọ pụrụ idu onye ìsì ibe ya? Ha abụọ ọ gaghị adaba
n'ime olulu? 40 Onye na-eso ụzọ onye ozizi anaghị akarị onye nkuzi ya, kama mgbe
ọ mụtasịrị ọ ga-amata ihe dị ka onye nkuzi ya.
41 "Gịnị mere i ji elee ntakịrị ahịhịa dị nwanna gị n'anya, ma ị dịghị ahụta obodobo
osisi dị gị onwe gị n'anya? 42 Ị ga-esi aṅaa sị nwanna gị, 'Nwanna a, ka m wepụ gị
ntakịrị ahịhịa dị gị n'anya,' mgbe gị onwe gị na-ahụghị obodobo osisi dị gị n'anya?
Gị onye ihu abụọ, buru ụzọ wepụ obodobo osisi dị gị n'anya ka i nwee ike ịhụzi ụzọ
nke ọma wepụ ntakịrị ahịhịa dị nwanna gị n'anya.

*Osisi na mkpụrụ ya*

[43] “Ezi osisi adịghị amị mkpụrụ ọjọọ. Ọ dịkwaghị osisi ọjọọ na-amị mkpụrụ ọma.
[44] Ọ bụ mkpụrụ osisi mịrị ka e ji ama ụdị osisi ọ bụ. Ndị mmadụ adịghị aghọta fiig site
n’osisi ogwu, otu a kwa o nweghị onye na-aghọta mkpụrụ grepu n’obi ogwu. [45] Ezi
mmadụ na-esite n’akụ ọma juru ya obi na-arụpụta ezi ọrụ, otu a kwa, ajọ mmadụ
na-esite n’obi ọjọọ ya na-arụpụta ajọ ọrụ. N’ihi na ihe ọbụla dị mmadụ n’obi bụ ihe
na-apụta n’ọnụ ya.

*Onye amamihe na onye nzuzu wuru ụlọ*

[46] “Gịnị mere unu ji na-akpọ m, ‘Onyenwe anyị, Onyenwe anyị,’ ma unu adịghị
eme ihe m kwuru? [47] Achọrọ m igosi unu ihe onye ọbụla na-abịakwute m nke na-
anụ okwu m, ma na-ejikwa ihe ọ na-anụ akpọrọ ihe, yiri. [48] Onye ahụ yiri nwoke
wuru ụlọ, onye gwumiri ala, doo ntọala ụlọ ahụ n’elu oke nkume. Mgbe idee mmiri
bịara were ike ya tie n’ụlọ ahụ, o nweghị ike ime ka ọ maa jijiji n’ihi na e wusiri ya
ike. [49] Ma onye ahụ nụrụ okwu m, nke na-ejighị ihe ọ nụrụ mee ihe, dị ka nwoke
wukwasịrị ụlọ ya n’elu ala, nke na-enweghị ntọala ọbụla. Mgbe idee mmiri bịara
were ike ya tie n’ụlọ ahụ, ụlọ ahụ dara daruo ala, ọdịda ya dị ukwuu.”

# 7

*Okwukwe onye ọchịagha*

[1] Mgbe o kwusiri okwu ndị a nye ndị na-ege ya ntị, ọ banyere na Kapanọm. [2] Ma
e nwere otu ọchịagha* nke nwere otu ohu nwoke ọ hụrụ n’anya. Onye nọ n’ọrịa na
n’ọnụ ọnwụ. [3] Mgbe ọ nụrụ ihe banyere Jisọs, o zipụrụ ụfọdụ ndị okenye ndị Juu
ka ha gaa rịọrọ ya ka ọ bịa gwọọ ohu ya. [4] Mgbe ha bịakwutere Jisọs, ha rịọsiri ya
arịrịọ ike sị, “O kwesiri ka i mere ya ihe a. [5] N’ihi na ọ hụrụ obodo anyị n’anya. O
wukwaara anyị ụlọ ekpere.” [6] Jisọs sooro ha gawa.
Ma mgbe ọ nọ nso n’ụlọ ya, onye ọchịagha ahụ zipụrụ ndị enyi ya ka ha ga sị ya,
“Onyenwe anyị, esogbukwala onwe gị, n’ihi na etorughị m ka ị bata n’okpuru ụlọ
m. [7] Ọ bụ ya mere na-echeghị m na m toruru ịpụta bịa zute gị. Ma kwuo okwu, ọ
ga-agwọkwa odibo m. [8] N’ihi na mụ onwe m bụkwa onye nọ n’okpuru ikike ọchịchị,
nwee ndị agha nọ n’okpuru m. Ana m asị onye nke a ‘gaa,’ ọ gaa, sịkwa onye nke
ọzọ ‘bịa,’ Ọ bịa. Ana m asị ohu m, ‘mee nke a,’ ọ na-emekwa ya.”
[9] Mgbe Jisọs nụrụ okwu niile a, o juru ya anya nke ukwuu. Ọ tụgharịrị gwa igwe
mmadụ ndị na-eso ya sị, “Asị m unu, ahụbeghị m okwukwe dị otu a ọ bụladị n’Izrel.”
[10] Mgbe ndị ozi ahụ laghachiri n’ụlọ, ha chọpụtara na ahụ adịla ohu ahụ mma.

*Jisọs akpọlite nwa nwoke nwanyị di ya nwụrụ*

[11] O ruo mgbe nwa oge gasịrị, ọ gara n’obodo a na-akpọ Nain. Ndị na-eso ụzọ ya
na ọtụtụ igwe mmadụ ndị ọzọ sooro ya gaa. [12] Mgbe ọ na-abịaru nso n’ọnụ ụzọ e
si abata n’obodo ahụ, o nwere otu nwoke nwụrụ anwụ nke a na-ebupụ, otu nwa
nke nne ya mụrụ. Nne ya ahụ bụ nwanyị di ya nwụrụ, oke igwe mmadụ si n’obodo
ahụ sonyekwara ya. [13] Mgbe Onyenwe anyị hụrụ ya, o meere ya obi ebere ma sị ya,
“Ebela akwa.”
[14] Mgbe ahụ ọ gara nso metụ igbe ozu ahụ aka, ndị bu ya kwụsịrị. Ọ sịrị,
“Nwokorobịa, asị m gị bilie!” [15] Nwoke ahụ nwụrụ anwụ biliri, nọdụ ala, bido ikwu
okwu, ọ kpọnyere ya nne ya.
[16] Egwu tụrụ ha niile, ha tokwara Chineke sị, “Onye amụma dị ukwuu apụtala
n’etiti anyị, Chineke abịala inyere ndị ya aka!” [17] Akụkọ a banyere ya ruru Judịa
niile na obodo nta niile gbara ya gburugburu.

* **7:2** 7:2 Ọ bụ onye Rom.

### *Jisọs na Jọn omee baptizim*

18 Ndị na-eso ụzọ Jọn kọọrọ ya maka ihe ndị a niile. Jọn kpọrọ mmadụ abụọ n’ime
ndị na-eso ụzọ ya, 19 zie ha ka ha jekwuru Onyenwe anyị jụọ ya ajụjụ sị, “Ọ bụ gị bụ
onye ahụ ga-abịa. Ka anyị ga-ele anya ọbịbịa onye ọzọ?”
20 Mgbe ụmụ nwoke ahụ bịakwutere ya, ha sịrị, “Jọn omee baptizim ziri anyị ka
anyị jụọ gị sị, ‘Ọ bụ gị bụ onye ahụ ga-abịa ka anyị ga-ele anya ọbịbịa onye ọzọ?’ ”
21 Mgbe ahụ ọ gwọrọ ọtụtụ ndị nwere ọrịa, na nrịa nrịa dị iche iche, na mmụọ
ọjọọ. O mekwara ka ọtụtụ ndị kpuru ìsì hụ ụzọ ọzọ. 22 Ọ zaghachiri ndị ozi ahụ sị,
“Laghachinụ azụ gaa kọrọ Jọn ihe unu hụrụ na nke unu nụrụ; ndị kpuru ìsì na-ahụ
ụzọ, ndị ngwụrọ na-aga ije, ndị ekpenta ka a na-eme ka ha dị ọcha, ndị ntị chiri
na-anụ ihe, a na-eme ka ndị nwụrụ anwụ si n’ọnwụ bilie, a na-ezisara ndị ogbenye
oziọma. 23 Ngọzị na-adịrị onye ahụ na-enweghị ihe mkpasu iwe n’ihi m.”
24 Mgbe ndị na-eso ụzọ Jọn pụrụ, Jisọs bidoro ịgwa igwe mmadụ ahụ okwu banyere
Jọn sị, “Gịnị ka unu gara n’ọzara ịhụ? Ọ bụ ahịhịa achara nke ikuku na-ebugharị?
25 Ma gịnị ka unu pụrụ ịga ịhụ? Ọ bụ nwoke yi uwe mara mma? E e, ndị na-eyi uwe
dị oke ọnụahịa, ndị na-ebikwa n’oke oriri na oke ọṅụṅụ bi n’ụlọeze. 26 Ma gịnị ka
unu pụrụ ka unu ga-ahụ? Ọ bụ onye amụma? E, ana m a gwa unu, unu hụrụ onye
karịrị onye amụma. 27 Ọ bụ onye a bụ onye ahụ e dere ihe banyere ya sị,
“ ‘Aga m ezipu onyeozi m n’ihu gị,
onye ga-edozi ụzọ gị n’ihu gị.’†
28 Agwa m unu, n’etiti ndị nwanyị mụrụ, ọ dịghị onye dị ukwuu karịa Jọn, ma onye
dịkarịsịrị nta n’alaeze Chineke dị ukwuu karịa ya.”
29 (Ndị mmadụ niile nụrụ nke a, tinyekwara ndị ọna ụtụ, nabatara n’ụzọ Chineke
bụ nke ziri ezi, n’ihi na Jọn emela ha baptizim. 30 Ma ndị Farisii na ndị ozizi iwu
jụrụ imezu ebumnobi Chineke nye ha onwe ha, n’ihi na ha anabataghị ka Jọn mee
ha baptizim.)
31 Ọ gara n’ihu sị ha, “Ma gịnị ka m ga-eji tụnyere ndị bi n’ọgbọ a? Gịnị ka ha yiri?
32 Ha dị ka ụmụntakịrị nọ n’ọma ahịa na-akpọ ibe ha oku na-asị,
“ ‘Anyị gburu unu ọja,
ma unu adịghị ete egwu.
Anyị bụrụ abụ ịkwa ozu,
ma unu ebeghị akwa.’
33 N’ihi na Jọn omee baptizim bịara na-erighị achịcha maọbụ ṅụọ ihe ọṅụṅụ ma unu
sịrị, ‘Mmụọ ọjọọ bi n’ime ya.’ 34 Nwa nke Mmadụ bịara na-eri ihe oriri na-aṅụkwa
ihe ọṅụṅụ, ma unu sịrị, ‘Lee, onye oke oriri na onye oke aṅụmaṅụ, enyi ndị ọna ụtụ
na ndị mmehie.’ 35 Ma e sitela n’ụmụ ya niile nwapụta amamihe n’onye ziri ezi.”

### *Nwanyị onye mmehie etee Jisọs mmanụ*

36 Otu onye n’ime ndị Farisii kpọrọ ya oriri. Ọ gara n’ụlọ onye Farisii ahụ, ma nọdụ
ala n’oche nri. 37 Ma otu nwanyị nke bi n’obodo ahụ, onye birila ndụ mmehie, mgbe
ọ matara na ọ nọ n’ụlọ onye Farisii ahụ na-eri nri, o jiri otu karama alabasta mmanụ
otite bata n’ụlọ ahụ. 38 Ka o guzoro n’azụ ụkwụ ya na-ebe akwa, ọ malitere iji anya
mmiri ya na-awụsa n’ụkwụ ya. O jiri agịrị isi ya hichaa anya mmiri ahụ, sutu ụkwụ
ya ọnụ, ma wụsa mmanụ otite isi ụtọ ahụ na ha.
39 Mgbe onye Farisii ahụ kpọrọ ya oriri hụrụ ihe nke a, o kwuru n’obi ya sị, “A sị
na nwoke a bụ onye amụma, ọ gaara amata ụdị mmadụ nwanyị a na-emetụ ya aka
bụ, na ọ bụ onye mmehie.”
40 Jisọs zara ya sị, “Saimọn, e nwere m ihe m chọrọ ịgwa gị.”
Ọ sịrị ya, “Onye ozizi gwa m ya.”

† **7:27** 7:27 Mal 3:1

41 “Ndị ikom abụọ ji onye na-ebinye ndị mmadụ ego n’ọmụrụnwa ụgwọ. Otu onye
ji ya narị ego ise, onye nke ọzọ ji ya iri ego ise. 42 Mgbe ha na-enweghị ike ịkwụghachi
ụgwọ ha ji ya, ọ gbaghara ha ụgwọ ahụ. Ugbu a, onye n’ime ha ga-ahụ ya n’anya
karịa?”
43 Saimọn zara sị, “Ọ dị m ka ọ bụ onye nke ọ gbaghara ụgwọ dị ukwuu.”
Ọ sịrị ya, “Ị kpeziri.”
44 Mgbe ahụ ọ tụgharịrị n’ebe nwanyị ahụ nọ gwa Saimọn sị, “Ị hụrụ nwanyị a? A
batara n’ụlọ gị, i kunyeghị m mmiri ka m saa ụkwụ m, ma nwanyị a ejirila anya mmiri
ya sachaa ụkwụ m, jirikwa agịrị isi ya hichaa ha. 45 Ị sutughị m ọnụ, ma kemgbe m
batara n’ụlọ a, o zubeghị ike isutu ụkwụ m ọnụ. 46 Ị teghị m mmanụ ọbụla n’isi, ma
lee, o werela mmanụ otite isi ụtọ wụkwasị m n’ụkwụ. 47 Ya mere, ana m agwa gị sị,
a gbagharala ya mmehie ya niile o mehiere, n’ihi na ọ nwere ịhụnanya dị ukwuu.
Ma onye nwetara mgbaghara dị nta, na-enwe ịhụnanya dị nta.”
48 Mgbe ahụ ọ gwara ya sị, “A gbagharala gị mmehie gị.”
49 Ma ndị ọzọ soro ya nọdụ na-eri nri bidoro ikwu n’etiti onwe ha na-asị, “Onye bụ
onye a nwere ike ọ bụladị ịgbaghara mmehie?”
50 Ọ sịrị nwanyị ahụ, “Okwukwe gị azọpụtala gị, laa n’udo.”

# 8

*Akụkọ ọgha mkpụrụ*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, ọ gara n’obodo ukwu niile na n’obodo nta niile na-ekwusa
ma na-ewetakwara ndị mmadụ oziọma nke alaeze Chineke. Ndị ozi iri na abụọ ahụ
sokwa ya, 2 na ụmụ nwanyị ụfọdụ ndị a chụpụrụ mmụọ ọjọọ site n’ime ha, gwọkwa
ha nrịa nrịa: Meri Magdalin onye e sitere n’ime ya chụpụ mmụọ ọjọọ asaa, 3 na Joana
nwunye Chuza onye na-elekọta ụlọeze Herọd na akụ ya niile, na Suzana, na ọtụtụ
ndị ọzọ ndị ji akụ ha na-enyere ha aka.
4 Mgbe oke igwe mmadụ gbakọrọ ha na ndị mmadụ si n’obodo dị iche iche bịakwute
ya. Ọ tụụrụ ha ilu a sị, 5 “Ọgha mkpụrụ pụrụ ịkụ mkpụrụ ya, mgbe ọ nọ na-agha
mkpụrụ ndị a, ụfọdụ n’ime mkpụrụ ahụ dara n’akụkụ ụzọ ebe ndị mmadụ zọrọ ha
ụkwụ, ụmụ nnụnụ bịakwara tụrịa ha loo. 6 Ụfọdụ n’ime ha dakwasịrị n’elu nkume.
Mgbe ha puputara chọọ ito, ha kpọnwụrụ n’ihi na mgbọrọgwụ ha enweghị ike ịmịta
mmiri mkpụrụ ahụ ga-eji dị ndụ. 7 Ụfọdụ dara n’etiti ogwu, ogwu ndị a sooro ha
puo ma kpagbuo ha. 8 Ụfọdụ n’ime mkpụrụ dara n’ezi ala. Ha puputara, too, mịa
mkpụrụ dị otu narị n’ọnụọgụgụ.”
Mgbe o kwusiri nke a, ọ sịrị ha, “Onye ọbụla nwere ntị ịnụ ihe, ya nụrụ.”
9 Ndị na-eso ụzọ ya jụrụ ya ihe ilu a pụtara. 10 Ọ sịrị, “Ọ bụ unu ka e nyere ịmata
ihe omimi niile nke alaeze Chineke, ma ndị ọzọ ga-anụ ya naanị n’ilu. Site n’ụzọ dị
otu a,
“ ‘ha ga na-ele anya, ma ha agaghị ahụ ihe ọbụla.
Ha ga na-anụ ntị ma ha agaghị aghọta ihe ọbụla.’*
11 “Nke a bụ nkọwa ilu ahụ. Mkpụrụ ahụ bụ okwu Chineke. 12 Mkpụrụ dara
n’akụkụ ụzọ nọchiri anya ndị nụrụ okwu Chineke, ma ekwensu bịara napụ ha okwu
ahụ n’obi ha, ka ha ghara ikwere ma nwetakwa nzọpụta. 13 Mkpụrụ ndị ahụ dara
n’elu nkume nọchiri anya ndị nụrụ okwu Chineke jiri ọṅụ nabata ya, ma ha enweghị
mgbọrọgwụ n’ime ha. Ha na-ekwere naanị nwa oge nta, ma mgbe ọnwụnwa bịara ha
na-adachapụ. 14 Mkpụrụ nke dara n’etiti ogwu nọchiri anya ndị nụrụ okwu Chineke,
ma mgbe ha na-aga n’ụzọ ha, echiche banyere akụ na ihe ụtọ nke ụwa na-akpagbu
okwu ahụ, mee ka ha ghara ịmị mkpụrụ. 15 Ma mkpụrụ ndị ahụ dara n’ezi ala nọchiri

* **8:10** 8:10 Aịz 6:9

anya ndị jiri obi ghere oghe na mmụọ ziri ezi nabata okwu ahụ ma werekwa ndidi
mịpụta mkpụrụ.

### *Iheọkụ dị n’elu ihe ndọkwasị*

16 “Ọ dịghị onye ọbụla, nke na-amụnye oriọna zoo ya n’ime igbe maọbụ dọnye
ya n’okpuru ihe ndina. Kama, ọ na-adọkwasị ya n’elu ihe ịdọba ọkụ ka ndị ọbụla
na-abata n’ụlọ ahụ jiri ya hụ ụzọ. 17 Ọ dịghị ihe ọbụla zoro ezo nke na-agaghị emesịa
pụta ìhè, ọ dịkwaghị ihe ọbụla dị nzuzo nke a na-aghaghị eme ka ọ pụta ìhè. 18 Ya
mere, kpacharanụ anya otu unu si ege ntị. N’ihi na ọ bụ onye ahụ nwere ihe ka a
ga-enye karịa, ma onye ahụ na-enweghị, ọ bụladị nke o nwere, ka a ga-anapụ ya.”

### *Nne Jisọs na ụmụnne ya nwoke*

19 N’oge a, nne ya na ụmụnne ya nwoke bịakwutere ya. Ma ha enweghị ike ịbịaru
ya nso n’ihi igwe mmadụ. 20 Otu onye gwara ya sị, “Nne gị na ụmụnne gị ndị nwoke
guzo n’ezi, ha chọrọ ịhụ gị.”
21 Ọ zara sị, “Nne m na ụmụnne m ndị nwoke bụ ndị ahụ na-anụ okwu Chineke
ma jiri ya mere ihe.”

### *Jisọs emee ka ebili mmiri dajụọ*

22 Otu ụbọchị, ya na ndị na-eso ụzọ ya banyere n’ụgbọ mmiri, ọ sịrị ha, “Ka anyị
gafee n’ofe nke ọzọ nke osimiri.” Nke a mere ha ji nụpụ ụgbọ, 23 ma mgbe ha na-
aga, ọ rahụrụ ụra. Oke ifufe malitere ife n’elu ọdọ mmiri ahụ, nke mere na mmiri
na-awụbanye n’ime ụgbọ ha, mee ka ha nọrọ n’oke nsogbu.
24 Ha gara kpọtee ya na-eti mkpu, “Nna anyị ukwu! Nna anyị ukwu! Lee na anyị
n’ala n’iyi!”
O biliri, baara ifufe na ebili mmiri ahụ mba. Ha dara jụụ, ebe niile dekwara jii.
25 Ọ sịrị ha, “Ebee ka okwukwe unu dị?”
Ha ji oke egwu na oke iju anya jụrịta onwe ha sị, “Onye bụ onye a? Ọ na-enye ọ
bụladị ifufe na ebili mmiri iwu, ha na-aṅakwa ya ntị.”

### *Ọgwụgwọ nwoke mmụọ ọjọọ ji*

26 Ha kwọrọ ụgbọ mmiri rute n’ala Gerazin,† nke dị n’ofe mmiri Galili. 27 Mgbe o
si n’ụgbọ mmiri rịpụta n’elu ala, otu nwoke obodo ahụ onye mmụọ ọjọọ bi n’ime ya
zutere ya. Nwoke a ebighị n’ụlọ maọbụ yie uwe ogologo oge, ma ebe obibi ya bụ ebe
a na-eli ozu. 28 Mgbe ọ hụrụ Jisọs, ọ bịara daa n’ihu ya, tie mkpu n’oke olu sị, “Gịnị
ka mụ na gị nwekọrọ Jisọs, Ọkpara Chineke Onye kachasị ihe niile elu? Biko arịọ
m gị, atala m ahụhụ.” 29 N’ihi na o nyela mmụọ ahụ na-adịghị ọcha iwu ka o site
n’ime ya pụta. Ọtụtụ oge, mmụọ ọjọọ a na-ejidesi ya ike, n’agbanyeghị na eji ụdọ
igwe kee ya aka na ụkwụ, debe ebe a na-eche ya nche, ọ na-adọbisi ụdọ igwe e ji kee
ya, mmụọ ọjọọ a na-eduru ya gaa n’ime ọzara.
30 Jisọs jụrụ ya sị, “Gịnị bụ aha gị?”
Ọ zara sị, “Lijiọn,” n’ihi na igwe mmụọ ọjọọ bi n’ime ya. 31 Ha rịọsiri ya arịrịọ ike
ka ọ ghara inye ha iwu ka ha banye n’Abis.
32 Igwe ezi nọ n’akụkụ ugwu dị ebe ahụ nso na-akpa nri. Mmụọ ọjọọ ndị a rịọrọ
Jisọs ka o nye ha ike ka ha banye n’ime ha. Jisọs nyere ha ike. 33 Mmụọ ọjọọ ndị
ahụ sitere n’ime nwoke a pụọ banye n’ime ezi ndị ahụ, igwe ezi ahụ niile sitere na
mkputamkpu ala ọnụ mmiri ahụ gbara ọsọ dabanyechaa n’ime mmiri ebe osimiri
riri ha.
34 Mgbe ndị na-elekọta ezi ahụ hụrụ ihe mere, ha gbara ọsọ gaa n’ime obodo na
n’obodo nta niile dị gburugburu ebe ahụ kọsaa ihe mere. 35 Ndị mmadụ pụtara ịhụ
ihe mere. Mgbe ha rutere ebe Jisọs nọ, ha hụrụ nwoke ahụ e si n’ime ya chụpụ

† **8:26** 8:26 N’akwụkwọ ochie ụfọdụ, ị nwere ike hụ Gadarin.

mmụọ ọjọọ ndị ahụ, ebe ọ nọdụrụ ala yiri uwe ma nọrọkwa n'ezi uche ya. Egwu
tụrụ ha. 36 Ndị hụrụ ka ihe a si mee kọọrọ ha ka e siri gwọọ onye ahụ mmụọ ọjọọ na-
esogbu. 37 Mgbe ahụ, ndị niile bi na Gerazin na n'obodo gbara ebe ahụ gburugburu
rịọrọ Jisọs ka ọ hapụrụ ha obodo ha, n'ihi na egwu dị ukwuu tụrụ ha. Ọ banyekwara
n'ime ụgbọ mmiri ahụ laghachi.
38 Nwoke a e sitere n'ime ya chụpụ mmụọ ọjọọ rịọrọ ya ka o soro ya ma o zilagara
ya, sị ya, 39 "Laghachi n'ezinaụlọ gị kọọrọ ha ihe niile Chineke meere gị." Nwoke ahụ
lara, gbasaa akụkọ ihe Jisọs meere ya n'obodo ahụ niile.

### *Nwa agbọghọ nwụrụ anwụ na nwanyị onye ọrịa*

40 Mgbe Jisọs lọghachiri, igwe mmadụ nabatara ya n'ihi na ha niile na-eche ya.
41 Mgbe ahụ otu nwoke nke aha ya bụ Jairọs, onye bụ onyeisi n'ụlọ ekpere, bịara
daa n'ala n'ụkwụ Jisọs na-arịọ ya ka ọ bịa n'ụlọ ya. 42 N'ihi na otu nwata nwanyị ọ
mụtara naanị ya, nke gbara afọ iri na abụọ nọ n'ọnụ ọnwụ.
Mgbe ọ na-aga, igwe mmadụ ahụ na-akpagbu ya. 43 Ọ dị otu nwanyị n'etiti ha nke
nọrịị na-arịa ọrịa oruru ọbara afọ iri na abụọ, onye mefuru ihe niile o ji n'aka ndị
dibịa, ma ọ dịghị onye nwere ike ịgwọ ya. 44 O sitere n'azụ ya metụ ọnụ uwe ya aka.
Ngwangwa, ọrịa oruru ọbara ahụ kwụsịkwara.
45 Jisọs sịrị, "Onye metụrụ m aka?"
Mgbe ọ na-enweghị onye pụtara kwuo sị na ọ bụ ya. Pita gwara ya sị, "Nna anyị
ukwu, igwe mmadụ gbara gị gburugburu na-adakwasịkwa gị."
46 Ma Jisọs sịrị, "Otu onye metụrụ m aka; amatara m na ike esitela n'ime m pụọ."
47 Mgbe nwanyị ahụ hụrụ na ọ dịkwaghị ihe o nwere ike ime iji zoo onwe ya, o ji
ịma jijiji bịa daa n'ụkwụ ya. N'ihu mmadụ niile, ọ kọrọ ihe mere o ji metụ ya aka
na otu e sị gwọọ ya n'otu ntabi anya. 48 Ọ gwara ya sị, "Ada m nwanyị, okwukwe gị
agwọọla gị. Laa n'udo."
49 Mgbe ọ ka nọ na-ekwu okwu, otu onye si n'ụlọ Jairọs bụ onyeisi ụlọ ekpere, bịara
sị, "Ada gị nwanyị anwụọla, enyekwala onye ozizi nsogbu ọzọ."
50 Ma mgbe Jisọs nụrụ ozi a, ọ zara ya sị, "Atụla egwu, naanị kwere, a ga-agwọkwa
ya."
51 Mgbe o rutere n'ụlọ Jairọs, o kweghị ka onye ọbụla soro ya baa n'ime ụlọ ahụ
ma ọ bụghị naanị Pita, Jọn, Jemis, nne na nna nwata ahụ. 52 N'oge ahụ, ha niile nọ
na-ebe akwa na-eru ụjụ maka nwata ahụ. Ọ sịrị ha, "Unu ebezila akwa, n'ihi na ọ
nwụghị anwụ kama ọ nọ n'ụra."
53 Ha chịrị ya ọchị, n'ihi na ha matara na ọ nwụrụ anwụ. 54 Ma o jidere ya n'aka,
sị, "Nwa m, bilie!" 55 Mmụọ ya lọghachiri, o bilitekwara mgbe ahụ. Ọ gwakwara ha
ka ha chọọrọ ya nri ka o rie. 56 Ihe a gbara ndị mụrụ ya gharịị ma ọ nyere ha iwu ka
ha ghara ịkọrọ onye ọbụla ihe mere.

## 9

### *Jisọs ezipu ndị ozi iri na abụọ*

1 Mgbe ọ kpọkọtara ndị ozi iri na abụọ ahụ, o nyere ha ike na ịchị isi n'ebe mmụọ
ọjọọ niile nọ na ịgwọ ọrịa dị iche iche. 2 O nyere ha ikike, zipụ ha ikwusa alaeze
Chineke na ịgwọ ndị nrịa nrịa. 3 Ọ gwara ha sị, "Unu ewerekwala ihe ọbụla maka
njem a, maọbụ mkpanaka maọbụ akpa, maọbụ achịcha maọbụ ego maọbụ uwe abụọ.
4 Ụlọ ọbụla unu banyere, nọgidenụ n'ebe ahụ ruo mgbe unu hapụrụ obodo ahụ. 5 Ma
ebe ọbụla a na-anabataghị unu, kụchapụnụ aja dị n'ụkwụ unu mgbe unu na-apụ
n'obodo ahụ, ka ọ bụrụ ihe ama megide ha." 6 Ha gara n'obodo nta niile na-ekwusa
oziọma na-agwọkwa ndị ọrịa n'ebe niile.

7 Mgbe Herọd onye ọchịchị nụrụ akụkọ banyere ihe niile merenụ, ọ gbagwojuru
ya anya n’ihi na ụfọdụ mmadụ na-asị, na Jọn omee baptizim esitela na ndị nwụrụ
anwụ bilie. 8 Ndị ọzọ na-asị na Ịlaịja apụtala, ebe ndị ọzọ na-asị na otu n’ime ndị
amụma ochie apụtakwala ndụ ọzọ. 9 Ma Herọd sịrị, “Mụ onwe bipụrụ isi Jọn. Onye
bụkwa onye a nke m na-anụ ihe banyere ya?” Ọ gụrụ ya agụụ ịhụ ya.

### *Jisọs enye puku mmadụ ise nri*

10 Mgbe ndị ozi a lọtara, ha kọọrọ ya ihe niile ha mere. Ọ kpọọrọ ha gaa n’obodo
a na-akpọ Betsaida ebe ha ga-anọ naanị ha. 11 Ma mgbe igwe mmadụ matara nke a,
ha sooro ya. Ọ nabatara ha ma gwakwa ha okwu maka alaeze Chineke. Ọ gwọkwara
ndị niile ọ dị mkpa na-emere ka ahụ dị ha mma.
12 Mgbe anwụ bidoro ịda, ndị na-eso ụzọ ya iri na abụọ bịakwutere ya sị ya, “Zilaga
igwe mmadụ a ka ha gaa n’ime obodo na n’obodo nta ndị gbara ebe a gburugburu,
ka ha chọtara onwe ha nri na ebe ndina n’ihi na ebe a anyị nọ bụ ọzara.”
13 Ọ zara ha sị, “Unu nye ha nri ka ha rie.”
Ha zaghachiri ya sị, “Anyị nwere naanị ogbe achịcha ise na azụ abụọ. Ma ọ bụghị
na anyị ga aga zụọra mmadụ ndị a niile nri.” 14 Ndị nọ n’ebe ahụ ruru puku ndị
nwoke ise.
Ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya sị, “Meenụ ka ha nọdụ ala n’igwe n’igwe, iri mmadụ
ise, iri mmadụ ise.” 15 Ha mere otu ahụ, mee ka ha niile nọdụ ala. 16 O weere ogbe
achịcha ise na azụ abụọ ndị ahụ, lelie anya n’eluigwe, gọzie ma nyawaa ha, nye ndị
na-eso ụzọ ya ka ha keere igwe mmadụ ahụ. 17 Ha niile riri rijuokwa afọ, a tụtụkọtara
ihe fọdụrụ, tụtụjuo nkata iri na abụọ n’iberibe achịcha fọdụrụ.

### *Ọgbụgba ama Pita*

18 Otu ụbọchị mgbe ọ nọ naanị ya na-ekpe ekpere, ndị na-eso ụzọ ya bịakwutere
ya. Ọ jụrụ ha sị, “Onye ka igwe mmadụ na-asị na m bụ?”
19 Ha zara sị, “Ụfọdụ na-asị na ị bụ Jọn omee baptizim, ndị ọzọ sị na ị bụ Ịlaịja, ndị
ọzọkwa, sị na ị bụ otu n’ime ndị amụma ochie ahụ si n’ọnwụ bilie.”
20 Ma ọ jụrụ ha, “Unu onwe unu, ọ bụ onye ka unu na-asị na m bụ?”
Pita zara sị, “Ị bụ Kraịst nke Chineke.”

### *Jisọs ekwuo ihe banyere ọnwụ ya*

21 Ma ọ dọrọ ha aka na ntị, nyesiekwa ha iwu ike ka ha ghara ịgwa onye ọbụla nke
a, 22 na-asị, “Nwa nke Mmadụ aghaghị ịhụ ọtụtụ ahụhụ dị iche iche. Ndị okenye na
ndịisi nchụaja, na ndị ozizi iwu ga-ajụ ya. Aghaghị igbu ya, ma n’ụbọchị nke atọ, a
ga-eme ka o site n’ọnwụ bilie.”
23 Mgbe ahụ ọ sịkwara ha, “Ọ bụrụ na onye ọbụla achọọ iso m n’azụ, ọ ghaghị ịjụ
onwe ya ma buru obe ya kwa ụbọchị na-eso m. 24 N’ihi na onye ọbụla chọrọ ịzọpụta
ndụ ya ga-atụfu ya. Ma onye ọbụla nke tufuru ndụ ya n’ihi m, ga-azọpụta ya. 25 Uru
gịnị ka mmadụ nwere ma ọ bụrụ na o ritechaa ụwa niile n’uru ma tufuo ndụ ya,
maọbụ bụrụ onye a napụrụ ndụ ya? 26 Onye ọbụla ihere m na ihere okwu m na-eme,
ka ihere ya ga-emekwa Nwa nke Mmadụ mgbe ọ ga-abịa n’ebube ya, na n’ebube nke
Nna ya, ya na ndị mmụọ ozi dị nsọ.
27 “N’ezie asị m unu, ụfọdụ n’ime ndị guzo n’ebe a agaghị edetụ ọnwụ ire tupu ha
ahụ alaeze Chineke.”

### *Nnwogha Jisọs*

28 Mgbe ụbọchị asatọ gasịrị, ọ kpọọrọ Pita na Jọn na Jemis gaa n’elu ugwu ikpe
ekpere. 29 Mgbe ọ nọ na-ekpe ekpere, ụdịdị ihu ya gbanwere. Uwe ya bidoro ịchaa
ọcha nke ukwuu. 30 N’otu ntabi anya, ha hụrụ ndị ikom abụọ ka ha na ya na-ekwu
okwu. Ha bụ Mosis na Ịlaịja. 31 Ha pụtara n’ebube eluigwe dị ukwu na-ekwu banyere

nlaghachi ya, nke ọ na-aga imezu na Jerusalem. 32 Pita na ndị ya na ha nọ na-arahụ
ụra. Mgbe ha tetara, ha hụrụ ebube ya na ndị ikom abụọ ya na ha nọ na-ekwurịta
okwu. 33 Mgbe ha na-ahapụ ya, Pita sịrị Jisọs, "Nna anyị ukwu, ọ ga-adị mma ka anyị
nọrọ ebe a ka anyị wuo ụlọ ikwu atọ, otu ga-abụ nke gị, otu ga-abụ nke Mosis, otu
ga-abụkwa nke Ịlaija." Ọ mataghị ihe ọ na-ekwu.
34 Mgbe ọ ka kpụ okwu n'ọnụ, igwe ojii pụtara kpuchie ha. Egwu tụkwara ha dị
ka ha na-aba n'igwe ojii ahụ. 35 Olu sitere n'igwe ojii ahụ daa sị, "Onye a bụ Ọkpara
m, onye m họpụtara; geenụ ya ntị." 36 Mgbe olu ahụ kwusiri okwu, ha chọpụtara
na Jisọs nọ naanị ya. Ndị na-eso ụzọ ya kpuchiri ọnụ ha, debe ihe niile n'obi ha, ọ
dịkwaghị onye ọbụla ha gwara ihe ha hụrụ.

### *Ọgwụgwọ nwa nwoke mmụọ ọjọọ bi n'ime ya*

37 N'echi ya, mgbe ha si n'ugwu ahụ rịdata, oke igwe mmadụ bịara zute ya. 38 Otu
nwoke si n'etiti igwe mmadụ ahụ jiri oke olu tie mkpu sị, "Onye ozizi, arịọ m gị ka
i lee nwa m nwoke anya, n'ihi na naanị ya bụ nwa m nwere. 39 Mmụọ ọjọọ na-ejide
ya mee ka ọ na-eti mkpu. Ọ na-atụda ya n'ala, na-ese ya ese, na-adọkwa ya adọ mee
ka ọ na-agbọ ụfụfụ n'ọnụ. Ọ dịghị mgbe ọ na-ahapụ ya kama ọ na-echihịasị ya ahụ.
40 Arịọrọ m ndị na-eso ụzọ gị ka ha chụpụ ya, ma ha enweghị ike."
41 Jisọs zara sị, "Leenụ ọgbọ rụrụ arụ, nke na-enweghị okwukwe! Ruo olee mgbe ka
mụ na unu ga-anọ, ruokwa olee mgbe ka m ga-anagide ekweghị ekwe unu? Kpọtara
m nwa gị nwoke ahụ n'ebe a!"
42 Mgbe ọ na-abịa, mmụọ ọjọọ ahụ kwadara ya n'ala sesie ya ike, ma Jisọs baara
mmụọ ọjọọ ahụ mba. Ọ gwọrọ nwata ahụ kpọnyekwa ya nna ya. 43 Ebube ukwu nke
Chineke tụrụ ha n'anya.

### *Jisọs ekwuo ihe banyere ọnwụ ya ọzọ*

Ma mgbe onye ọbụla nọ na mgbagwoju anya n'ihi ọrụ ọ rụrụ, ọ sịrị ndị na-eso
ụzọ ya, 44 "Geenụ ntị nke ọma banyere ihe m chọrọ ịgwa unu. A ga-arara Nwa nke
Mmadụ nye n'aka ụmụ mmadụ." 45 Ma ha aghọtaghị okwu a. E zonarịrị ya n'ebe ha
nọ ka ha ghara ịghọta ya. Egwu tụkwara ha ịjụ ya ihe ọ pụtara.

### *Onye karịrị ibe ya ukwuu?*

46 Ịrụ ụka dapụtara n'etiti ha banyere onye karịrị ibe ya ukwuu. 47 Ebe Jisọs ma
ihe ha na-eche, ọ kpọtara otu nwantakịrị mee ka o guzo n'akụkụ ya. 48 Ọ gwara ha
sị, "Onye ọbụla nabatara nwata a n'aha m, nabatara m. Onye ọ bụlakwa nabatara
m, nabatara onye zitere m. Ọ bụkwa onye dịkarịsịrị nta n'etiti unu bụ onye kachasị
ukwuu."
49 Jọn a zaa sị, "Nna anyị ukwu, anyị hụrụ otu onye ka o ji aha gị na-achụpụ mmụọ
ọjọọ. Ebe ọ na-esoghị anyị, anyị gbochiri ya."
50 Jisọs sịrị ya, "Unu egbochila ya. N'ihi na onye ọbụla na-adịghị emegide unu
dịnyeere unu."

### *Nguzogide site n'aka ndị Sameria*

51 Mgbe oge o ji alaghachi na-abịaru nso, o chere ihu ya ịga Jerusalem. 52 O zipụrụ
ndị ozi, ka ha buru ya ụzọ gawa. Ka ha na-aga ha batara n'otu obodo nta nke ndị
Sameria* ịkwado ihe niile tupu ọ bịa; 53 ma ha jụrụ ịnabata ya n'ihi na o chere
ihu ịga Jerusalem. 54 Mgbe Jemis na Jọn ndị na-eso ụzọ ya hụrụ nke a, ha sịrị ya,
"Onyenwe anyị, ị chọrọ ka anyị nye iwu ka ọkụ site n'eluigwe bịa laa ha n'iyi?" 55 Ọ
tụgharịrị bara ha mba. 56 Ma ha pụrụ banye n'obodo nta ọzọ.

### *Ihe ọ ga-efu iso Jisọs*

* **9:52** 9:52 Ha na ndị Izrel enweghị ezi mmekọrịta.

57 Mgbe ha nọ na-aga ije a, otu nwoke sịrị ya, “Aga m eso gị gaa ebe ọbụla ị na-aga.”
58 Jisọs zara, sị, “Nkịta ọhịa nwere ọnụ ebe ha na-edina, ụmụ nnụnụ nke igwe
nwekwara akwụ, ma Nwa nke Mmadụ enweghị ebe ọ na-atụkwasị isi.”
59 Ọ gwara onye ọzọ sị, “Soro m.”
Ma ọ sịrị ya. Onyenwe anyị, “Biko, nye m ohere ka m gaa buru ụzọ lie nna m.”
60 Ma ọ sịrị ya, “Hapụ ndị nwụrụ anwụ ka ha lie ndị nwụrụ anwụ ibe ha. Ma gị
gaa kwusaa alaeze nke Chineke.”
61 Ma onye ọzọkwa, sịrị ya, “Aga m eso gị, Onyenwe m, ma kwere ka m buru ụzọ
gaa sị ndị ezinaụlọ m nọdụnụ nke ọma.”
62 Jisọs sịrị ya, “Onye ọbụla jidere aka n’ọgụ anụ ụlọ na-adọkpụ ma na-ele anya
n’azụ ekwesighị alaeze Chineke.”

# 10

*Jisọs ezipu iri mmadụ asaa na abụọ*

1 Mgbe nke a gasịrị, Onyenwe anyị họpụtara iri mmadụ asaa na abụọ ndị ọzọ, zipụ
ha mmadụ abụọ abụọ ka ha buru ya ụzọ gaa n’obodo niile nakwa ebe niile ọ na-achọ
ịga.* 2 Ọ sịrị ha, “Owuwe ihe ubi dị ukwuu ma ndị ọrụ dị naanị ole na ole. Ya mere,
rịọọnụ Onyenwe owuwe ihe ubi ka o zite ndị ọrụ n’owuwe ihe ubi ya. 3 Gaanụ! Ma
lee, ana m ezipu unu dị ka ụmụ atụrụ n’etiti agụ. 4 Unu ewerekwala ego maọbụ akpa
maọbụ akpụkpọụkwụ. Unu ekelekwala onye ọbụla n’ụzọ.
5 “Mgbe unu banyere n’ụlọ ọbụla, burunu ụzọ sị, ‘Udo dịrị n’ụlọ a.’ 6 Ọ bụrụ na
mmadụ udo bi n’ụlọ ahụ, udo unu ga-adịnyekwara ya. Ọ bụrụkwanụ na onye bi
n’ụlọ ahụ abụghị onye udo, udo unu ji bịa ga-alọghachitekwara unu. 7 Nọgidenụ
n’ebe ahụ, na-erinụ ma na-aṅụkwanụ ihe ọbụla ha nyere unu, n’ihi na onye ọrụ
kwesiri ịnata ụgwọ ọrụ ya. Unu esitela n’otu ụlọ gaa n’ụlọ ọzọ.
8 “Ọ bụrụ na ndị bi n’obodo unu batara anabata unu, rienụ ihe ọbụla ha nyere unu.
9 Gwọọnụ ndị ọrịa nọ n’ebe ahụ, gwakwanụ ha sị, ‘Alaeze Chineke adịla unu nso.’
10 Ma mgbe unu banyere n’obodo ọbụla ha jụ ịnabata unu, pụọnụ gaa n’okporoụzọ
ya kwuo sị, 11 ‘Ọ bụladị aja si n’obodo a nke nyapagidere n’ụkwụ anyị, anyị na-
ehichapụ ya ka ọ bụrụ ihe ịdọ aka ntị nye gị. Otu ọ dị, matakwanụ nke a, na alaeze
Chineke dị nso.’ 12 Ana m agwa unu na n’ụbọchị ahụ, ga-akara Sọdọm mma karịa
obodo ahụ.
13 “Ahụhụ ga-adịrị gị Korazin. Ahụhụ ga-adịrị gị Betsaida. N’ihi na ọ bụrụ na ọrụ
ebube a rụrụ n’ime unu ka a rụrụ na Taịa na Saịdọn ha gaara echegharị ogologo oge,
nọdụ n’akwa mkpe na ntụ. 14 Ọ ga-akara Taịa na Saịdọn mma n’ụbọchị ikpe karịa
unu. 15 Ma gị Kapanọm! Ị na-eche na a ga-ebuli gị elu ruo eluigwe? Mba! Ị ga-arịda
n’ala mmụọ!†
16 “Onye ọbụla gere unu ntị, ọ bụ mụ ka o gere ntị. Onye ọbụla jụrụ ịnabata unu,
ọ bụ mụ ka ọ jụrụ ịnabata. Onye ọbụla jụrụ ịnabata m jụrụ ịnabata onye zitere m.”
17 Iri mmadụ asaa na abụọ ahụ jiri ọṅụ lọta sị, “Onyenwe anyị, n’aha gị, ọ bụladị
ndị mmụọ ọjọọ rubeere anyị isi.”
18 Ọ sịrị ha, “Ahụrụ m ekwensu ka o si n’eluigwe daa dị ka amụma. 19 Lee! Enyela
m unu ikike ịzọkwasị agwọ na akpị ụkwụ, na imegide ike niile nke onye iro; ọ dịghị
ihe ọbụla ga-emerụ unu ahụ. 20 Otu ọ dị, unu aṅụrịla ọṅụ n’ihi na mmụọ ọjọọ rubere
unu isi, kama ṅụrịanụ ọṅụ n’ihi na e deela aha unu n’eluigwe.”
21 N’otu oge ahụ, o jupụtara n’ọṅụ nke Mmụọ Nsọ kwuo sị, “Nna, Onyenwe eluigwe
na ụwa, ana m ekele gị n’ihi na ị zonarịrị ihe ndị a n’ebe ndị ọkachamara na ndị

* **10:1** 10:1 Ọ bụ naanị Luk dere banyere nzipụ ezipụrụ ndị ozi iri asaa na abụọ ndị a. † **10:15** 10:15 Maọbụ, Hadis

nwere amamihe nọ, ma ị kpughere ihe ndị a niile nye ụmụntakịrị. E, Nna, otu a ka
o si masị uche gị ime ya.
22 “Nna m enyefeela m ihe niile n’aka. Ọ dịghị onye maara onye Ọkpara ahụ bụ,
karịa Nna ahụ. Ọ dịkwaghị onye maara Nna ahụ karịa Ọkpara na ndị ahụ Ọkpara
chọrọ igosi onye Nna ya bụ.”
23 Mgbe ahụ ọ tụgharịrị gwa ndị na-eso ụzọ ya na nzuzo sị, “Ngọzị na-adịrị anya
nke na-ahụ ihe unu na-ahụ ugbu a. 24 Ana m asị unu, na ọtụtụ ndị amụma na ndị
eze ka ọ gụrụ agụụ ịhụ ihe unu na-ahụ ma ha ahụghị ya, na ịnụ ihe unu na-anụ, ma
ha anụghị ya.”

### *Ilu banyere ezi onye agbataobi*

25 Otu ụbọchị, otu onye ozizi iwu biliri ịnwale ya. Ọ jụrụ ya, “Onye ozizi, gịnị ka
m kwesiri ime ka m keta ndụ ebighị ebi?”
26 Ọ sịrị ya, “Gịnị ka e dere n’iwu? Gịnị ka ị gụtara n’ime ya?”
27 Ọ zara sị, “ ‘Ị ga-eji obi gị niile, na mkpụrụobi gị niile, na ike gị niile, na uche gị
niile, hụ Onyenwe anyị bụ Chineke gị n’anya’; ma ‘hụkwa onye agbataobi gị n’anya
dị ka onwe gị.’‡”
28 Ọ sịrị ya, “Ị zara nke ọma. Gaa mee nke a ị ga-adị ndụ.”
29 Ma iji gosi na ya bụ onye na-eme ihe ziri ezi, ọ sịrị Jisọs, “Onye kwanụ bụ onye
agbataobi m?”
30 Jisọs sịrị ya, “Otu nwoke sitere Jerusalem na-aga Jeriko, ọ dabara n’aka ndị ohi,
ndị gbara ya ọtọ, tiekwa ya ihe, hapụ ya n’ọnọdụ ọdịndụ-ọnwụkamma laa. 31 Ma dị
ka ihe si eme, otu onye nchụaja sitere ụzọ ahụ na-agafe. Mgbe ọ hụrụ ya, o sitere
n’akụkụ ụzọ nke ọzọ gafee. 32 Otu a kwa, otu onye Livayị bịarutekwara n’ebe ahụ,
hụ ya, ma o sitere n’akụkụ ụzọ nke ọzọ gafeekwa. 33 Ma otu onye Sameria na-aga
njem, mgbe ọ bịarutere nso n’ebe ahụ; hụ ya, o nwere ọmịiko n’ahụ ya. 34 Ọ gara
nso n’ebe ọ nọ, jiri mmanya na mmanụ wụsa n’ọnya ya, were akwa kechie ya. Ọ
tụkwasịrị ya n’elu ịnyịnya ibu ya, buba ya n’ụlọ ndị ije ebe o lekọtara ya anya nke
ọma. 35 N’echi ya, o wepụtara mkpụrụ ego ọlaọcha abụọ nye onye na-elekọta ụlọ
ndị ije ahụ sị ya, ‘Lezie ya anya nke ọma. M lọta aga m akwụghachi gị ihe ọbụla ọzọ
i mefuru.’
36 “Onye n’ime mmadụ atọ ndị a ka i chere bụ onye gosiri onwe ya dị ka onye
agbataobi nye nwoke ahụ nke dabara n’aka ndị ohi?”
37 Ọ sịrị, “Ọ bụ onye ahụ meere ya ebere.”
Jisọs sịrị ya, “Laa, gaa mee otu ahụ.”

### *N’ụlọ Mata na Meri*

38 Mgbe ha na-aga n’ụzọ, ọ banyere n’otu obodo nta ebe nwanyị a na-akpọ Mata
nabatara ya n’ụlọ ya. 39 O nwere nwanne nwanyị a na-akpọ Meri nke nọdụrụ ala
n’ụkwụ Onyenwe anyị na-ege ntị n’ihe ọ na-ekwu. 40 Ma uche Mata gbasasịrị agbasa
ebe ọ na-akwado maka ile ọbịa. Ọ bịakwutere ya sị ya, “Onyenwe anyị, ọ bụ na o
metụghị gị n’obi na nwanne m nwanyị hapụrụ naanị m ije ozi niile? Gwa ya ka ọ
bịa nyere m aka.”
41 Ma Onyenwe anyị zara ya sị, “Mata, Mata, ị na-echegbu onwe gị ma na-
adọgbukwa onwe gị banyere ọtụtụ ihe, 42 maọbụ naanị otu ihe dị mkpa, Meri ahọrọla
nke ka mma, nke a na-agaghị anapụkwa ya.”

## 11

### *Ekpere Onyenwe anyị*

‡ **10:27** 10:27 Dit 6:5; Lev 19:18

1 Ọ nọ n’otu ebe na-ekpe ekpere, mgbe o kpesịrị ekpere, otu n’ime ndị na-eso ụzọ
ya sịrị ya, “Onyenwe anyị, kuziere anyị ikpe ekpere, dị ka Jọn kuziri ndị na-eso ụzọ
ya.”
2 Ọ sịrị ha, “Mgbe unu na-ekpe ekpere, sịnụ:
“ ‘Nna,
ka e doo aha gị nsọ
ka alaeze gị bịa.
3 Nye anyị taa nri nke ụbọchị anyị.
4 Gbaghara anyị mmehie anyị,
n’ihi na anyị na-agbaghara onye ọbụla mehiere megide anyị.
Ekwela ka anyị daba n’ime ọnwụnwa.’ ”
5 Ọ sịrị ha, “Onye n’ime unu nwere enyi, ga-agakwuru ya n’etiti abalị sị ya, ‘Enyi m,
biko gbazinye m ogbe achịcha atọ, 6 n’ihi na otu enyi m bịara n’ụlọ m, ma enweghị
m nri ọbụla n’ụlọ m nke m ga-enye ya.’ 7 Ma ọ ga-esi n’ime ụlọ zaghachi sị, ‘Enyela
m nsogbu, emechiela m ụzọ, mụ na ụmụ m alakpuola, enweghị m ike ibili ugbu a
inye gị ihe ọbụla.’ 8 Agwa m unu, ọ bụ ezie na ọ gaghị ebili nye ya ihe ọbụla n’ihi na
ọ bụ enyi ya, kama n’ihi nsogbu ya, ọ ga-ebili nye ya ihe ọbụla dị ya mkpa.
9 “Ya mere, agwa m unu, rịọọnụ, unu ga-arịọta, chọọnụ, unu ga-achọta, kụọkwanụ
aka, a ga-emeghekwara unu ụzọ. 10 N’ihi na onye na-arịọ na-arịọta, onye na-achọ
na-achọta, onye na-akụ aka n’ụzọ ka a ga-emeghekwara ụzọ.
11 “Onye n’ime unu bụ nna, ka nwa ya ga-arịọ ya azụ, o nye ya agwọ? 12 Maọbụ
rịọọ ya akwa, ọ ga-enye ya akpị? 13 Ọ bụrụ na unu bụ ndị ọjọọ, maara otu esi enye
ụmụ unu onyinye dị mma, karịa nke a, Nna unu nke bi n’eluigwe aghaghị inye ha
Mmụọ Nsọ bụ ndị niile na-arịọ ya.”

### *Jisọs na mmụọ ọjọọ*

14 Otu mgbe, ọ na-achụpụ mmụọ ọjọọ nke dara ogbi, mgbe mmụọ ọjọọ ahụ pụrụ,
onye ogbi ahụ kwuru okwu. Nke a juru igwe mmadụ ahụ anya. 15 Ma ụfọdụ n’ime
ha sịrị, “Ọ bụ site n’ike Belzebub eze ndị mmụọ ọjọọ ka o ji achụpụ mmụọ ọjọọ.”
16 Ndị ọzọ, iji nwalee ya, sị ya gosi ha ihe ịrịbama nke si n’eluigwe.
17 Ma ebe ọ bụ na ọ maara ihe ha na-eche, ọ sịrị ha, “Alaeze ọbụla kewaranụ megide
ibe ya, ga-atọgbọrọ n’efu, ezinaụlọ ọbụla nke kewakwara megide ibe ya ga-adakpọ.
18 Ọ bụrụ na ekwensu ekewa megide onwe ya, alaeze ya ọ ga-esi aṅaa guzosie ike?
Unu na-asị na m na-achụpụ mmụọ ọjọọ site n’ike Belzebub. 19 Ugbu a, ọ bụrụ na
m sitere n’ike Belzebub na-achụpụ mmụọ ọjọọ, ọ bụ site n’ike onye ka ụmụ unu ji
na-achụpụ ha? Ya mere, ha ga-abụ ndị ikpe unu. 20 Ma ọ bụrụ na m ji ike mkpịsịaka
Chineke na-achụpụ mmụọ ọjọọ, mgbe ahụ alaeze Chineke abịarutela n’ebe unu nọ.
21 “Mgbe nwoke siri ike ji ngwa agha chekwa obi ya, ihe o nwere ga-adịgidere ya
n’udo. 22 Ma ọ bụrụ na onye ọzọ ka ya ike alụso ya ọgụ merie ya, ọ ga-anara ya ngwa
agha niile bụ ihe ntụkwasị obi ya, kesakwaa ihe ọ kwatara n’ụlọ dike ahụ.
23 “Onye ọbụla na-adịnyeghịrị m na-emegide m. Onye ọ bụlakwa na-adịghị eso m
ekpokọta, na-ekposa ekposa.
24 “Mgbe ọbụla mmụọ na-adịghị ọcha sị n’ime mmadụ pụọ, ọ na-ejegharị n’ala
kpọrọ nkụ na-achọgharị ebe izuike. Ọ bụrụ na ọ chọtaghị ya, mgbe ahụ, ọ ga-asị,
‘Aga m alaghachi n’ụlọ m hapụrụ.’ 25 Mgbe ọ lọghachiri, ọ ga-achọpụta na a zachaala
ya dozie ya nke ọma. 26 Mgbe ahụ, ọ ga-apụ ga chọta mmụọ ọjọọ asaa ọzọ ndị dị njọ
karịa ya. Ha niile na-abata biri n’ime onye ahụ, mee ka ọnọdụ ya dị njọ karịa ka ọ
dị na mbụ.”
27 Mgbe ọ kpụ okwu a n’ọnụ, otu nwanyị sitere n’ime igwe mmadụ ahụ tie mkpu
sị, “Ngọzị na-adịrị afọ mụrụ gị na ara nke e jiri zụọ gị.”

28 Ma ọ sịrị, kama, "Ngọzị na-adịrị ndị na-anụ okwu Chineke, na-emekwa ha."

### *Ihe ama nke Jona*

29 Dị ka igwe mmadụ ahụ na-amụba, o bidoro na-ekwu sị, "Ọgbọ a bụ ọgbọ ọjọọ.
Ọ na-achọ ihe ịrịbama ma ọ dịghị ihe ịrịbama a ga-ezi ya karịa ihe ịrịbama Jona.
30 N'ihi na dị ka Jona si bụrụ ihe ịrịbama nye ndị Ninive, otu a ka Nwa nke Mmadụ
ga-esi bụrụkwa ihe ama nye ọgbọ a. 31 N'ụbọchị ahụ, eze nwanyị ndị ndịda ga-ebili
soro ndị ọgbọ a guzo n'ikpe, maa ha ikpe, n'ihi na o sitere na nsọtụ nke ụwa bịa
nụrụ okwu amamihe Solomọn, ma lee, onye karịrị Solomọn nọ n'ebe a. 32 Ndị ikom
Ninive ga-eso ọgbọ a bilie n'ụbọchị ikpe maa ya ikpe, n'ihi na ha chegharịrị mgbe
ha nụrụ nkwusa Jona, ma lee, onye karịrị Jona ukwuu nọ n'ebe a."

### *Iheọkụ nke anụ ahụ*

33 "Ọ dịghị onye na-amụnye oriọna dọnye ya n'ebe zoro ezo maọbụ n'okpuru efere,
kama, ọ na-adọkwasị ya n'elu ihe ịdọba ọkụ ka ndị na-abata n'ụlọ ahụ jiri ya hụ ụzọ.
34 Anya bụ oriọna nke anụ ahụ. Ọ bụrụ na anya gị dị mma, ahụ gị niile ga-ejupụta
n'ìhè. Ọ bụrụkwanụ na anya gị dị njọ, ị ga-anọ n'ọchịchịrị. 35 Ya mere, lezie anya
ka ị mara ka ìhè dị n'ime gị, ọ bụghị ọchịchịrị. 36 N'ihi nke a, ọ bụrụ na ahụ gị niile
ejupụta n'ìhè, ọ bụrụkwa na akụkụ ọbụla agbaghị ọchịchịrị, mgbe ahụ, ahụ gị niile
ga-ejupụta n'ìhè dị ka mgbe ìhè oriọna na-achakwasị gị n'ahụ."

### *Ahụhụ na-adịrị ndị Farisii na ndị ọka n'iwu*

37 Mgbe ọ na-ekwu okwu, otu onye Farisii kpọrọ ya ka ọ bịa soro ya rie nri. Ọ
banyere nọrọ n'oche nri. 38 O juru onye Farisii ahụ anya na mgbe ọ bidoro iri nri ọ
kwọghị aka ya tupu ya ebido.
39 Ma Onyenwe anyị sịrị ya, "Unu ndị Farisii na-asacha azụ iko mmiri na efere, mee
ka ọ dị ọcha, ma ime unu jupụtara n'anya ukwu na n'ihe ọjọọ dị iche iche. 40 Ndị
nzuzu! Ọ bụ na ọ bụghị onye ahụ mere azụ iko mekwara ime ya? 41 Kama werenụ
ihe ndị ahụ dị n'ime rụọ ọrụ ebere, ihe niile ga-adịkwara unu ọcha.
42 "Ahụhụ ga-adịrị unu ndị Farisii, n'ihi na unu na-enye otu ụzọ n'ụzọ iri n'ihi mint,
na mkpa akwụkwọ na-esi isi ụtọ*na mkpa akwụkwọ niile dị iche iche nke ubi, ma
leghara ikpe ziri ezi na ịhụnanya nke Chineke anya. Ihe niile ndị a ka unu kwesiri
ime n'elegharaghị ihe ndị ọzọ anya.
43 "Ahụhụ ga-adịrị unu ndị Farisii! N'ihi na unu na-ahụ ịnọ n'isi oche niile n'ụlọ
ekpere na ekele pụrụ iche a na-ekele unu n'ọma ahịa n'anya.
44 "Ahụhụ ga-adịrị unu, n'ihi na unu dị ka ili na-apụtaghị ihe†, nke ndị mmadụ
na-agafe n'elu ha n'ihi na ha amaghị na ọ bụ ili."
45 N'otu oge, otu onye ozizi iwu sịrị ya, "Onye ozizi, mgbe ị na-ekwu ihe ndị a, anyị
sokwa na ndị ị na-akọcha."
46 Ma ọ sịrị, "Ahụhụ ga-adịrị unu bụ ndị ozizi iwu. N'ihi na unu na-ebo ndị mmadụ
ibu ha na-enweghị ike ibuli, ma unu onwe unu adịghị eweli ọ bụladị otu mkpịsịaka
unu, ịmetụ ibu ahụ aka.
47 "Ahụhụ ga-adịrị unu n'ihi na unu na-ewu ili ndị amụma bụ ndị nna nna unu
ha gburu. 48 Ya mere, unu bụ ndị akaebe ma kwenyekwa n'ihe ndị nna nna unu
ha mere, n'ihi ha gburu ha, ma unu e wuo ili ha. 49 Ọ bụ n'ihi nke a ka Chineke
n'amamihe ya ji kwuo sị, Aga m ezigara ha ndị amụma na ndị ozi, ụfọdụ ka ha ga-
egbu ma ndị ọzọkwa ka ha ga-akpagbu. 50 N'ihi nke a, ọgbọ a ga-aza ajụjụ banyere
ọbara ndị amụma niile a wufuru, site na mmalite nke ụwa, 51 site n'ọbara Ebel ruo
na nke Zekaraya, onye e gburu n'etiti ebe ịchụ aja na ebe nsọ. E, agwa m unu, a
ga-ajụ ihe banyere ha n'aka ọgbọ a.

* **11:42** 11:42 Nke a na-akpọ roo † **11:44** 11:44 Apụtaghị ihe ya bụ nke zoro ezo.

52 “Ahụhụ ga-adịrị unu bụ ndị ozizi iwu, n’ihi na unu wepụrụ ọtụghe igodo nke
amamihe. Unu onwe unu abanyeghị, ma unu gbochikwara ndị na-abata ịbata.”
53 Mgbe o si n’ebe ahụ pụọ, ndị ode akwụkwọ na ndị Farisii bidoro isogbu ya, na
ịkpasu ya ikwu ọtụtụ okwu, 54 na-esiri ya ọnya, ka ha mara ma ọ ga-ekwuhie ọnụ,
ka ha hụ ihe ha ga-eji jide ya.

# 12

*Ịdọ aka na ntị na ịgbaume*

1 N’oge ahụ, mgbe ọtụtụ puku ndị mmadụ gbakọtara, nke mere ka ha na-azọ ibe ha
ụkwụ. O buuru ụzọ bido ịgwa ndị na-eso ụzọ ya sị, “Kpacharanụ anya unu banyere
ihe na-eko achịcha ndị Farisii, nke bụ ihu abụọ ha. 2 N’ihi na ọ dịghị ihe ọbụla zoro
ezo nke na-agaghị apụta ìhè, ọ dịkwaghị ihe e kpuchiri ekpuchi nke a na-agaghị
ekpughe. 3 Ihe ọbụla unu kwuru n’ọchịchịrị, a ga-anụ ya n’ihe, ihe ọbụla unu gbara
n’izu n’ime ụlọ ka a ga-ekwusa n’elu ụlọ.
4 “Ana m agwa unu, ndị enyi m, unu atụla egwu maka ndị na-egbu anụ ahụ ma
e mesịa, ha apụghị ime ihe ọzọ. 5 Ma aga m ezi unu onye unu ga-atụ egwu. Tụọnụ
egwu Onye ahụ nwere ikike igbu anụ ahụ ma tụbakwa ya n’ọkụ ala mmụọ. E, asị
m unu tụọnụ ya egwu. 6 Ọ bụghị mkpụrụ ego abụọ ka a na-ere ụmụ nza ise? Ma o
nweghị nke ọbụla n’ime ha Chineke chefuru. 7 N’ezie a gụrụ ọ bụladị agịrị isi dị n’isi
unu ọnụ. Unu atụla egwu, n’ihi na unu dị oke ọnụ karịa ọtụtụ ụmụ nza.
8 “Ma asị m unu, na onye ọbụla kwupụtara m n’ihu ụmụ mmadụ, onye ahụ ka
Nwa nke Mmadụ ga-ekwupụta n’ihu ndị mmụọ ozi nke Chineke. 9 Onye ọbụla na-
agọnarị m n’ihu ndị mmadụ, a ga-agọnarịkwa ya n’ihu ndị mmụọ ozi nke Chineke.
10 Onye ọbụla nke ga-ekwu okwu megide Nwa nke Mmadụ, a ga-agbaghara ya, ma
onye ọbụla na-ekwulu Mmụọ Nsọ, agaghị agbaghara ya.
11 “Mgbe ha ga-akpọbata unu n’ihu ụlọ nzukọ, ndị ọchịchị na ndịisi, unu echegbula
onwe unu otu unu ga-esi zaghachi, maọbụ ihe unu ga-aza, maọbụ ihe unu ga-ekwu.
12 N’ihi na Mmụọ Nsọ ga-ezi unu n’oge awa ahụ, ihe unu kwesiri ikwu.”

*Ilu banyere ọgaranya dị nzuzu*

13 Otu onye n’ime igwe mmadụ ahụ sịrị ya, “Onye ozizi, gwa nwanne m nwoke ka
o kenye m oke n’ihe nketa anyị.”
14 Ọ sịrị ya, “Nwoke, onye mere m onye ikpe maọbụ onye ndozi okwu n’etiti unu?”
15 Ma ọ sịrị ha, “Kpachapụnụ anya! Nọrọnụ na nche banyere oke ọchịchọ niile, n’ihi
na ndụ mmadụ adabereghị n’ọtụtụ ihe o nwere.”
16 Ọ tụụrụ ha ilu a sị, “Otu ọgaranya nwere ala mịrị nnọọ mkpụrụ dị ukwuu. 17 O
chere n’ime onwe ya sị, ‘Gịnị ka m ga-eme n’ihi na enweghị m ebe m ga-echekwa
mkpụrụ m?’
18 “Ya mere ọ sịrị, ‘Ihe m ga-eme bụ nke a, aga m akwatu ọba m, wuo nke ka ya
ukwuu, bụ ebe m ga-echekwa mkpụrụ m na ihe ndị ọzọ. 19 Ya mere aga m agwa
mkpụrụọbi m, “I nwere ọtụtụ ezi ihe ga-ezuru gị ọtụtụ afọ, n’ihi ya zuru ike, rie, ṅụọ
ma nweekwa obi ụtọ.” ’
20 “Ma Chineke gwara ya sị, ‘Onye nzuzu, n’abalị a ka a ga-achọ mkpụrụobi gị n’aka
gị. Ihe niile ị kpakọtara nke onye ka ha ga-abụ?’
21 “Otu a ka ọ ga-adịrị onye ọbụla na-akpadoro naanị onwe ya akụ, ma ọ baghị ụba
n’ebe Chineke nọ.”

*Echegbula onwe gị*

22 Ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya, “Ya mere, asị m unu, unu echegbula onwe unu
banyere ndụ unu, ihe unu ga-eri, maọbụ banyere ahụ unu, ihe unu ga-eyi. 23 N’ihi na
ndụ dị mkpa karịa ihe oriri, anụ ahụ dịkwa mkpa karịa uwe. 24 Tuleenụ ugolọma.

Ha adịghị akụ maọbụ ghọrọ mkpụrụ ọbụla. Ha enweghị ụlọakụ maọbụ ọba, ma
Chineke na-azụ ha nri. Unu ọ dịghị oke ọnụahịa karịa anụ ufe ndị a. 25 Onye n'ime
unu pụrụ itinye otu nkeji n'ogologo ụbọchị nke ndụ ya site n'ichegbu onwe ya? 26 Ebe
unu na-apụghị ime ihe nta dị otu a, gịnị mere unu ji echegbu onwe unu banyere ihe
ndị ọzọ?
27 "Tuleenụ otu okoko ọhịa lili si eto. Ha adịghị arụ ọrụ ọbụla maọbụ tụọ ogho. Ma
asị m unu, ọ bụladị Solomọn n'ebube nke ịbụ eze ya niile, eyighị uwe ọbụla mara
mma dị ka otu n'ime okoko osisi nke ọhịa ndị a. 28 Ma ọ bụrụ na Chineke si otu a
chọọ ahịhịa efu nke ubi mma, nke pụrụ ịdị ndụ taa ma echi atụba ha n'ite ọkụ, ọ bụ
na ọ pụghị i si otu a chọọ unu mma karịa? Unu ndị okwukwe nta. 29 Ya mere, unu
adọgbula onwe unu maka ihe unu ga-eri maọbụ ihe unu ga-aṅụ. Unu echegbukwala
onwe unu. 30 N'ihi na ọ bụ ihe ndị a ka ndị mba nke ụwa na-achụso, ma Nna unu
makwara na ha dị unu mkpa. 31 Kama chọọnụ alaeze ya, a ga-atụkwasịkwara unu
ihe ndị a niile.
32 "Unu atụla egwu, igwe atụrụ nta, n'ihi na ọ tọrọ Nna unu ụtọ inye unu alaeze
ahụ. 33 Reenụ ihe unu nwere nyekwanụ ndị ogbenye. Meerenụ onwe unu akpa na-
agaghị aka nka, n'ọba akụ n'eluigwe, ebe onye ohi na-adịghị abịa nso, nla adịghị
erichapụkwa ya. 34 N'ihi na ebe ọbụla akụ unu dị ka obi unu ga-adịkwa."

### *Ịnọ na nche*

35 "Keenụ ajị n'ume, meenụ ka oriọna unu na-enwu enwu. 36 Dịnụ ka ndị ohu
na-echere nlọghachi nke nna ha ukwu, onye gara oriri agbamakwụkwọ, bụ onye
ha ga-emeghere ụzọ ngwangwa mgbe ọ lọtara kụọ aka. 37 Ndị ohu ahụ ga-abụ ndị
a gọziri agọzi, bụ ndị onyenwe ha ga-ahụ na ha nọ na nche mgbe ọ ga-alọghachi.
N'ezie asị m unu na ọ ga-eke belịt ya n'ukwu ya, mekwa ka ha nọdụ ala na tebul iri
ihe, ọ ga-abịakwa jere ha ozi. 38 Ngọzị ga-adịrị ndị ohu ahụ onye nwe ha ga-ahụ ka
ha nọ na njikere, ọ bụladị ma ọ lọghachiri n'etiti abalị, maọbụ n'ezigbo isi ụtụtụ.
39 Maranụ nke a: ọ bụrụ na onyenwe ụlọ maara oge awa onye ohi ga-eji abịa n'ụlọ
ya, ọ gaghị ekwe ka onye ohi ahụ tiwaa ụlọ ya. 40 Unu kwesiri ịnọ na njikere n'ihi na
Nwa nke Mmadụ ga-abịa n'oge awa unu na-atụghị anya ya."
41 Pita sịrị ya, "Onyenwe anyị, ị tụrụ ilu a n'ihi anyị, ka ọ bụ maka onye ọbụla?"
42 Ma Onyenwe anyị sịrị, "Onye bụ ohu ahụ nke kwesiri ntụkwasị obi ma nwekwa
uche, nke onyenwe ya mere onyeisi ụmụodibo ya niile, ka ọ na-enye ha nri mgbe
o kwesiri? 43 Ngọzị na-adịrị ohu ahụ nke onyenwe ya ga-ahụ ka ọ na-arụ ọrụ ahụ
mgbe ọ ga-alọghachi. 44 N'ezie asị m unu, ọ ga-eme onye nke ahụ onyeisi nke ihe
niile o nwere. 45 Ma ọ bụrụ na ohu ahụ asị n'obi ya, 'Onyenwe m na-anọ ọdụ ịlọta,' ọ
bụrụkwa na ọ malite itigbu ụmụodibo ndị ọzọ, bụ ndị ikom na ndị inyom na-eje ozi,
na iri ihe oriri, na ịṅụkwa ihe ọṅụṅụ na ịṅụbiga mmanya oke. 46 Nna ukwu ohu ahụ
ga-alọta n'ụbọchị ọ na-atụghị anya, n'oge awa ọ na-amakwaghị. Ọ ga-egburisikwa
ya, nye ya ọnọdụ n'etiti ndị na-ekweghị ekwe.
47 "Ohu ahụ maara ihe nna ya ukwu chọrọ ma hapụ ịnọ na njikere, maọbụ ime ya,
ka a ga-apịasi ụtarị ike. 48 Ma onye na-amaghị ama ma mee ihe kwesiri ka a pịa ya
ụtarị, a ga-apịa ya ụtarị ole na ole. N'ihi na ọ bụ onye e nyere ihe hiri nne ka a ga-ele
anya ịnata ihe hiri nne n'aka. Onye e nyekwara ihe ukwu n'aka idebe, n'aka ya ka
a ga-achọ ihe nke kachasịnụ.

### *Ọ bụghị udo kama nkewa*

49 "A bịara m iwebata ọkụ n'elu ụwa, ọ gaara adịrị m nọ mma ma ọ bụrụ na ọ
malitelarị inwu! 50 Enwere m baptizim nke m na-aghaghị ime, ma aga m anọgide
n'oke ihe mgbu tutu e mezuo ya 51 Unu chere na m bịara iweta udo n'ụwa? Asị m
unu mbaa, kama nkewa. 52 Site ugbu a gawa, mmadụ ise si n'otu ezinaụlọ ga-ekewa

megide onwe ha, atọ megide abụọ, abụọ megide atọ. 53 Ha ga-ekewa; nna megide
nwa ya nwoke, nwa nwoke ga-emegidekwa nna ya, nne megide nwa ya nwanyị, nwa
nwanyị megidekwa nne ya, nne di megide nwunye nwa ya, nwunye nwa megide nne
di ya.”

### *Ịkọwa oge*

54 Ọ gwakwara igwe mmadụ ahụ sị, “Mgbe unu hụrụ urukpu ojii ka ọ na-ebili
n’ọdịda anyanwụ, unu na-eme ngwangwa sị, ‘Mmiri ga-ezo,’ ọ na-ezokwa. 55 Mgbe
unu hụrụ na ifufe na-esite na ndịda na-efe, unu na-asị, Oke okpomọkụ ga-adị, ọ na-
emekwa otu ahụ. 56 Ndị ihu abụọ! Unu matara ịkọwa ihu ala na mbara eluigwe. Gịnị
mere unu apụghị ịkọwa oge dị ugbu a?
57 “Gịnị mere unu adịghị ekpebiri onwe unu ihe ziri ezi? 58 Ọ bụrụ na gị na onye
na-ebo gị ebubo esoro na-aga n’ihu ọkaikpe, gbalịsie ike ka gị na ya kpezie n’ụzọ,
ma ọ bụghị otu a, ọ ga-akpọpụ gị n’ihu onye ọkaikpe, ma eleghị anya ọkaikpe ahụ
ga-arara gị nye n’aka ọkaikpe ukwu, ọkaikpe ukwu ga-ararakwa gị nye n’aka onye
na-eje ozi n’ụlọikpe, bụ onye ga-etinye gị n’ụlọ mkpọrọ. 59 Asị m gị, ị gaghị e si n’ebe
ahụ pụta ruo mgbe ị kwụghachiri ọ bụladị otu kobo nke ikpeazụ.”

## 13

### *Chegharịa maọbụ laa n’iyi*

1 Mgbe ahụ, ụfọdụ ndị nọ n’ebe ahụ gwara ya banyere ndị Galili ahụ Pailet jiri
ọbara ha gwakọta n’aja ha chụrụ. 2 Ọ zara sị ha, “Unu chere na ndị Galili a tara ụdị
ahụhụ a bụ ndị mmehie karịa ndị Galili niile? 3 Mba! Asị m unu, ọ bụrụ na unu
echegharịghị, unu niile ga-esi otu ahụ laa n’iyi. 4 Ka unu chere na mmadụ iri na
asatọ ahụ, ndị mgbidi aja ụlọ elu Sailọm dagburu bụ ndị ikpe mmehie mara karịa
ndị niile bi na Jerusalem? 5 Mba! Asị m unu, ọ bụrụ na unu echegharịghị, unu niile
ga-ala n’iyi dị ka ha.”
6 Ya mere, ọ tụrụ ha ilu a sị, “Otu nwoke kụrụ osisi fiig n’ubi vaịnị ya, ma mgbe ọ
bịara chọọ n’elu ya, ma ọ hụghị mkpụrụ ọbụla. 7 Ya mere, ọ gwara onye ọrụ ubi ya
sị, ‘N’ime afọ atọ ndị a ka m bịara ka m ghọrọ mkpụrụ site n’osisi fiig a, ma ahụghị
m mkpụrụ ọbụla. Gbutuo ya! Gịnị mere ọ ga-eji na-erikọ nri dị n’ala ubi a?’
8 “Ọ zara sị ya, ‘Nna m ukwu, hapụkwa ya n’afọ a, ka m gwuo ala gburugburu,
hinye ya aja nri ala n’ukwu. 9 Ọ bụrụ na ọ mịa mkpụrụ n’afọ ọzọ, ọ dị mma, ọ
bụrụkwa na ọ mịghị, i nwere ike gbutuo ya.’ ”

### *Ọgwụgwọ onye ọrịa n’ụbọchị izuike*

10 N’ụbọchị izuike ndị Juu, ọ banyere n’ime otu ụlọ ekpere na-ezi ihe. 11 Otu nwanyị
nọkwa n’ebe ahụ, onye mmụọ nrịa nrịa mere ka ahụ ghara ị dị ya ike afọ iri na asatọ.
Ọ na-ehu ehu, o nwekwaghị ike iguzo ọtọ kwem. 12 Mgbe Jisọs hụrụ ya, ọ kpọrọ ya
sị ya, “Nwanyị emeela ka i nwere onwe gị site n’ọrịa gị.” 13 Mgbe o bikwasịrị ya aka,
ngwangwa, o guzooro kwem malite na-eto Chineke.
14 Ma onyendu ụlọ ekpere ahụ were iwe nke ukwuu n’ihi na Jisọs gwọrọ ọrịa
n’ụbọchị izuike. Ọ gwara igwe mmadụ ahụ okwu sị, “E nwere ụbọchị isii n’ime
izu ụka mgbe mmadụ kwesiri ịrụ ọrụ. Ya mere, bịanụ ka a gwọọ unu n’ụbọchị ndị
a, ọ bụghị n’ụbọchị izuike.”
15 Ma Onyenwe anyị zara ya sị, “Unu ndị ihu abụọ! Ọ dị onye n’ime unu na-adịghị
atọpụ oke ehi ya maọbụ ịnyịnya ibu ya, site n’ụlọ anụmanụ, kpụpụ ya ebe ọ ga-aṅụ
mmiri n’ụbọchị izuike? 16 O kwesighị ka a tọpụ nwanyị a bụ ada Ebraham n’agbụ
ekwensu kere ya ogologo afọ iri na asatọ, n’ụbọchị izuike, mee ka o nwere onwe ya?”
17 Mgbe o kwuru nke a, ihere mere ndị iro ya niile, ma ndị mmadụ nọ n’ebe ahụ
ṅụrịrị ọṅụ n’ihi ọrụ ebube niile ọ na-arụ.

*Ilu mkpụrụ mọstaadị na ihe na-eko achịcha*

18 Ya mere, ọ na-ekwu sị, “Gịnị ka alaeze Chineke yiri? Gịnịkwa ka m ga-eji tụnyere
ya? 19 O yiri mkpụrụ mọstaadị nke mmadụ kụrụ n’ubi ya a gbara ogige. O toro ghọọ
osisi, nke ụmụ nnụnụ na-ezukwa ike n’alaka ya.”
20 Ọzọ, ọ sịrị, “Gịnị ka m ga-eji tụnyere alaeze Chineke? 21 Ọ dị ka ihe na-eko
achịcha*nke nwanyị gwakọtara na ọtụtụ atọ nke ụtụ ọka, tutu ruo mgbe o koro ụtụ
ọka ahụ niile.”

*Ụzọ dị warawara*

22 O jegharịrị n’obodo ukwu na n’obodo nta niile na-ezi ihe, ka ọ na-aga Jerusalem.
23 Otu onye sịrị ya, “Onyenwe m, ndị a ga-azọpụta ha ga-adị ole na ole?”
Ọ sịrị ha, 24 “Gbalịsienụ ike banye site n’ọnụ ụzọ dị warawara, n’ihi na ana m a
gwa unu na ọtụtụ ga-achọ ịbanye ma ha agaghị enwe ike. 25 Ọ bụrụ na nna nwe ụlọ
ebilie mechie ọnụ ụzọ, unu ga-eguzo na-ezi na-akụ aka n’ụzọ na-asị, ‘Onyenwe anyị
meghere anyị ụzọ.’
“Na nzaghachi, ọ ga-asị, ‘Amaghị m ebe unu si bịa.’
26 “N’oge ahụ, unu ga-asị, ‘Anyị na gị rikọrọ, ṅụkọkwaa, ị kuzikwara nkuzi n’ogbe
anyị.’
27 “Ma ọ ga-asị, ‘Amaghị m ebe unu siri bịa. Pụọnụ n’ihu m, unu ndị ajọ omume.’
28 “Ịkwa akwa na ịta ikikere eze ga-adịkwa mgbe unu ga-ahụ Ebraham, na Aịzik na
Jekọb na ndị amụma niile ka ha nọ n’alaeze Chineke; ma unu onwe unu abụrụ ndị
a chụpụrụ n’ezi. 29 Ndị mmadụ ga-esite n’ọwụwa anyanwụ, nakwa ọdịda anyanwụ,
na n’ugwu na ndịda nke ụwa bịa nọdụ n’oriri n’ime alaeze Chineke. 30 Ma lee, ndị
bu ụzọ ga-aghọ ndị ikpeazụ, ma ndị ikpeazụ ga-aghọ ndị bu ụzọ.”

*Mwute Jisọs nwere n’ihi Jerusalem*

31 N’oge awa ahụ, ụfọdụ ndị Farisii bịakwutere ya sị ya, “Si n’ebe a pụọ, n’ihi na
Herọd na-achọ igbu gị.”
32 Ọ sịrị ha, “Gaa gwaranụ m nkịta ọhịa ahụ, lee, ana m achụpụ mmụọ ọjọọ,
gwọọkwa ndị ọrịa taa na echi, ma n’ụbọchị nke atọ ka m ga-arụcha ọrụ m. 33 Ma otu
ọ dị, aga m aga n’ihu n’ụzọ m taa, na echi na nwanne echi, n’ihi na n’ezie, ọ dịghị
onye amụma ga-anwụ n’ebe ọzọ na-abụghị na Jerusalem.
34 “O Jerusalem! Jerusalem! Gị onye na-egbu ndị amụma ma na-ejikwa nkume
atụgbu ndị e ziteere gị. Ọtụtụ mgbe ka m gbalịrị ịchịkọta ụmụ gị dị ka nne ọkụkụ
sị achịkọta ụmụ ya n’okpuru nku ya, ma unu ekweghị. 35 Lee, a hapụrụla unu ụlọ
unu. Ma agwa m unu, unu agaghị ahụ m anya ọzọ ruo mgbe oge ahụ ga-abịa, mgbe
unu ga-asị, ‘Onye a gọziri agọzi ka onye ahụ bụ nke na-abịa n’aha Onyenwe anyị.’† ”

# 14

*Jisọs agaa n’ụlọ onye Farisii*

1 Otu ụbọchị izuike, mgbe ọ gara iri ihe n’ụlọ otu onyendu ndị Farisii, ha nọ na-ele
ya anya nke ọma. 2 Ma lee, otu nwoke ahụ ya zara aza nọkwa n’ihu ya ebe ahụ.
3 Jisọs jụrụ ndị Farisii na ndị ozizi iwu sị, “O ziri ezi n’iwu ịgwọ ọrịa n’ụbọchị izuike
ka ọ bụ na o zighị?” 4 Ma ha e kwughị okwu ọbụla. Ya mere ọ kpọrọ ya, gwọọ ya ma
sị ya laa.
5 Ọ sịrị ha, “Ọ bụrụ na otu n’ime unu nwere nwa nwoke maọbụ oke ehi nke dabara
n’ime olulu mmiri n’ụbọchị izuike, ọ bụ na ọ gaghị eme ngwangwa dọpụta ya?” 6 Ma
ha enweghị ike ịza ajụjụ a.

---

* **13:21** 13:21 Maọbụ, yiist † **13:35** 13:35 Abụ 118:26

[7] Mgbe ọ hụrụ otu ndị a kpọrọ oriri si họrọ naanị oche ndị a na-asọpụrụ, oche ndị
a na-asọpụrụ, ọ tụrụ ha ilu sị, [8] "Mgbe mmadụ ọbụla kpọrọ gị oriri n'ọlụlụ di na
nwunye, abatala nọdụ n'oche ndị a na-asọpụrụ, n'ihi na eleghị anya, onye kpọrọ gị
oriri kpọkwara onye ka gị nwe nsọpụrụ. [9] N'ihi na onye ahụ kpọrọ unu oriri nwere
ike bịakwute gị sị gị, nye nwoke a ọnọdụ gị. Mgbe ahụ, ị ga-ebili n'anya ihere gaa
nọdụ n'oche dịkarịsịrị ala. [10] Ma mgbe a kpọrọ gị, nọdụ n'oche dị ala, ka ọ ga-abụ
na onye kpọrọ gị oriri bịa, ọ ga-asị gị 'Enyi m, rigota n'ebe a ka elu.' Mgbe ahụ, ị
ga-enwekwa ugwu n'anya ndị niile a kpọrọ gị na ha oriri. [11] N'ihi na onye ọbụla
ga-ebuli onwe ya elu ka a ga-eweda n'ala, ma onye ọbụla na-eweda onwe ya ala ka
a ga-ebuli elu."
[12] Ọ gwara onye ahụ kpọrọ ya oriri sị, "Mgbe ị na-akpọ oriri nke nri ehihie maọbụ
nke nri anyasị, akpọla naanị ndị enyi gị maọbụ ụmụnne gị ndị nwoke maọbụ ndị
ikwu na ibe gị, maọbụ ndị agbataobi gị bara ọgaranya, n'ihi ma eleghị anya, ha pụrụ
ịkpọkwa gị na mgbe nke ha, sị otu a kwụghachi gị ụgwọ. [13] Kama mgbe ị na-akpọ
oriri, kpọọ ndị ogbenye na ndị ọlụsị na ndị ngwụrọ na ndị ìsì. [14] A ga-agọzikwa gị,
n'ihi na ha enweghị ike ịkwụghachi gị, a ga-akwụghachikwa gị mgbe ndị ezi omume
ga-ebili n'ọnwụ."

### *Ilu banyere oke oriri*

[15] Mgbe otu n'ime ndị a kpọrọ oriri nụrụ nke a, ọ sịrị ya, "Ngọzị ga-adịrị onye ga-eso
rie oriri n'alaeze Chineke."
[16] Ma ọ sịrị ya, "Otu onye na-akwado oke oriri kpọkwa ọtụtụ mmadụ oku. [17] Mgbe
oge oriri ahụ ruru, o zipụrụ ohu ya ka ọ ga gwa ndị ahụ ọ kpọrọ sị, 'Bịanụ, n'ihi na
e dozichaala ihe niile.'
[18] "Ma ha niile n'otu n'otu malitere inye ọsịsa. Onye nke mbụ sịrị, 'Azụrụ m iberibe
ala ọhụrụ, ọ dịkwa mkpa na m ga-eje hụ ya, biko gbaghara m, agaghị m abịa.'
[19] "Onye nke ọzọ sịrị, 'Azụrụ m ehi e ji arụ ọrụ ubi, iri e jikọrọ abụọ abụọ. Ana m
aga ugbu a ka m nwalee ha, biko gbaghara m, agaghị m abịa.'
[20] "Ma onye ọzọ sịkwara, 'Alụrụ m nwunye ọhụrụ, n'ihi nke a agaghị m abịa.'
[21] "Ohu ahụ lọtara, kọọrọ nna ya ukwu ihe ndị ahụ a kpọrọ oriri kwuru. Mgbe ahụ,
iwe dị ukwuu were nna ya ukwu, nke a mere ka o zipụ ohu ya sị ya, 'Gaa ngwangwa
n'okporoụzọ ukwu na n'okporoụzọ nta dị n'obodo a, kpọbata ndị ogbenye, na ndị
ụkwụ rụrụ, na ndị ìsì na ndị ngwụrọ.'
[22] "Ohu ahụ sịrị, 'Nna m ukwu, emeela m ihe i kwuru, ma ohere ka fọdụrụ.'
[23] "Nna ukwu ahụ sịrị ohu ahụ, 'Gaakwa n'okporoụzọ ukwu na okporoụzọ nta,
mee ka ndị mmadụ bata n'ụlọ m, ka ụlọ m jupụta na mmadụ. [24] N'ihi na agwa m
unu, ọ dịghị otu onye n'ime ndị ahụ a kpọrọ oriri ga-edetụ nri m ọnụ.' "

### *Ihe ọ na-efu iso Jisọs*

[25] Ugbu a, oke igwe mmadụ na-eso ya ma ọ tụgharịrị sị ha: [26] "Onye ọbụla chọrọ
iso m, ma o bụghị ụzọ kpọ nne na nna ya, na nwunye ya, na ụmụ ya, na ụmụnne
ya ndị nwoke na ndị nwanyị tinyekwara ndụ nke ya onwe ya asị, apụghị ịbụ onye
na-eso ụzọ m. [27] Onye ọbụla na-eburughị obe ya soro m, enweghị ike ịbụ onye na-eso
ụzọ m.
[28] "Ọ dị onye ọbụla n'ime unu chọrọ iwu ụlọ elu, na-agaghị ebu ụzọ nọdụ ala,
gbakọọ ihe ọ ga-efu ya, iji chọpụta ma o nwekwara ego ga-ezu iwucha ya? [29] N'ihi na
ọ bụrụ na ọ tọọ ntọala ma o nwekwaghị ike wuchaa ya, onye ọbụla hụrụ ya ga-achị
ya ọchị, [30] na-asị, 'Nwoke a malitere iwu ụlọ, ma o nweghị ike wuchaa ya.'
[31] "Maọbụ olee eze chọrọ ịlụso eze ibe ya ọgụ, ọ gaghị ebu ụzọ nọdụ ala tulee ma
puku ndị agha iri ya ọ ga-ezuru ya iji lụso onye ji iri puku ndị agha abụọ abịakwute
ya ọgụ? [32] Ọ bụrụ na o nweghị ike, ọ ga-ezipụ ozi rịọ ka e kpee udo mgbe onye nke

ọzọ ka nọ n’ebe dị anya. 33 N’ụzọ dị otu a, onye ọbụla na-ajụghị ihe niile o nwere,
apụghị ịbụ onye na-eso ụzọ m.
34 “Nnu dị mma, ma ọ bụrụ na ọ dịghị atọkwa ụtọ, a ga-eji gịnị mee ka ọ tọọ ụtọ
ọzọ? 35 Ọ bakwaghị uru nye ala maọbụ iji mee nri ala. Kama ọ bụ itufu ya.
“Onye ọbụla nwere ntị ịnụ ihe, ya nụrụ.”

# 15

### *Ilu maka atụrụ furu efu*

1 Ugbu a, ndị ọna ụtụ na ndị mmehie na-abịa ya nso ịnụta ihe ọ na-ekwu. 2 Ndị
Farisii na ndị ozizi iwu tamuru ntamu na-asị, “Nwoke a na-anabata ndị mmehie
sorokwa ha na-eri nri.”
3 Ya mere, ọ tụrụ ha ilu a sị, 4 “Ọ bụrụ na otu onye n’ime unu enwee narị atụrụ ma
otu n’ime ha akpafuo. Ọ bụ na ọ gaghị ahapụ iri atụrụ itoolu na itoolu ahụ fọdụrụ
n’ọzara, pụọ ịchọgharị otu ahụ kpafuru ruo mgbe ọ chọtara ya? 5 Mgbe ọ chọtara
ya, ọ ga-eji ọṅụ tụkwasị ya n’ubu ya. 6 Mgbe ọ lọtara n’ụlọ ya, ọ ga-akpọkọta ndị
enyi ya na ndị agbataobi ya sị ha, ‘Soronụ m ṅụrịa ọṅụ n’ihi na achọtala m atụrụ m
furu efu.’ 7 Asị m unu, n’ụzọ dị otu a, ọṅụ dị ukwu ga-adị n’eluigwe n’ihi otu onye
mmehie nke chegharịrị, karịa iri itoolu na itoolu ndị ezi omume bụ ndị nchegharị
na-adịghị mkpa.

### *Ilu maka mkpụrụ ego furu efu*

8 “Maọbụ olee nwanyị nke nwere mkpụrụ ọlaọcha iri, ọ bụrụ n’otu n’ime ha
adafuo. Ọ gaghị amụnye oriọna, zaa ime ụlọ ya ịchọ otu mkpụrụ ego ahụ tutu ọ chọta
ya? 9 Mgbe ọ chọtara otu mkpụrụ ego ahụ, ọ ga-akpọ ndị enyi ya na ndị agbataobi
ya sị ha, ‘Soronụ m ṅụrịa ọṅụ n’ihi na achọtala m ego m furu efu.’ 10 N’ụzọ dị otu
a, asị m unu, ọṅụ ga-adị n’ihu ndị mmụọ ozi Chineke n’ihi otu onye mmehie nke
chegharịrị.”

### *Ilu maka nwa mmefu*

11 O kwukwaara sị, “Otu nwoke mụtara ụmụ nwoke abụọ. 12 Nwa ya nke nta sịrị
nna ya, ‘Nna, kenye m oke ruuru m n’ihe niile i nwere.’ Ya mere, o kenyere ya oke
nke ya site n’ihe o nwere.
13 “Mgbe ụbọchị ole na ole gasịrị, nwokorobịa ahụ kwakọtara ihe niile o nwere
gaa biri n’otu obodo dị anya. N’ebe ahụ, o mefuchara ihe niile o nwere n’ibi ndụ
ọjọọ. 14 Mgbe o mefuchara ihe niile o nwere, oke ụnwụ dara n’ala ahụ. Ọ malitere
ịnọ n’ụkọ. 15 N’ihi nke a, ọ gara binyere otu onye obodo ahụ nyere ya ọrụ ilekọta ezi
ya na inye ha nri. 16 Ma ọ na-agụ ya ka o site na nri ọ na-enye ezi rijuo afọ, ma ọ
dịghị onye nyere ya ụdị nri ahụ.
17 “Mgbe ọ ghọtara onwe ya, ọ sịrị, ‘Mmadụ ole bụ ndị ọrụ e goro ego nna m nwere,
ndị nri na-ezuru ma mapụtakwa, ma agụụ na-egbu m n’ebe a. 18 Aga m ebili lakwuru
nna m, sị ya, Nna, emehiela m megide eluigwe na gị onwe gị. 19 Ekwesikwaghị m ka
a kpọọ m nwa gị ọzọ, were m dị ka otu n’ime ndị i goro ọrụ.’ 20 Ya mere, o biliri
laghachikwuru nna ya.
“Ma mgbe ọ nọrịị n’ebe dị anya, nna ya hụrụ ya, nwee ọmịiko n’ahụ ya, gbaara
ọsọ ga makụọ ya, sutukwa ya ọnụ.
21 “Nwa ya nwoke ahụ sịrị ya, ‘Nna, emehiela m megide eluigwe na gị onwe gị.
Ekwesighị m ka a kpọọ m nwa gị ọzọ.’
22 “Ma nna ya gwara ndị ohu ya sị, ‘Meenụ ngwangwa weta uwe kachasị mma
yikwasị ya. Gbanye ya ọlaaka n’aka, yinyekwanụ ya akpụkpọụkwụ n’ụkwụ. 23 Gaanụ
kpụpụta nwa ehi gbara abụba, gbuo ya, ka anyị rie ma ṅụrịakwa. 24 N’ihi na nwa

m a, nwụrụ anwụ ma ọ dịla ndụ ọzọ. O fukwara efu ma a chọtala ya.' Ha bidoro
na-eri, na-aṅụ na-aṅụrịkwa ọṅụ.
25 "Ọ dịghị anya, nwa ya nke okenye, onye jere ịrụ ọrụ n'ubi, mgbe ọ na-abịaru ụlọ
nso, ọ nụrụ ụda egwu na ịgba egwu. 26 Ọ kpọrọ otu n'ime ndị ohu jụọ ya ihe na-eme.
27 Ọ sịrị ya, 'Nwanne gị nwoke alọtala. Nna gị egbuola nwa ehi gbara abụba n'ihi na
ọ lọtara n'udo na ahụ ike.'
28 "Iwe were ya, ọ jụrụ ịbata n'ime ụlọ. Nna ya pụtara n'ezi rịọ ya arịrịọ. 29 Ma
ọ zara nna ya sị, 'Lee ọtụtụ afọ niile ndị a ka m nọọ na-ejere gị ozi, enupukwaghị m
isi n'iwu gị n'ụzọ ọbụla. Ma o nweghị oge i nyere m ọ bụladị nwa ewu sị mụ na ndị
enyi m jiri ya mee oriri. 30 Ma ugbu a, nwa gị a, onye ya na ndị akwụna mefuru akụ
gị alọtala, ya ka i gburu nwa ehi gbara abụba.'
31 "Ma ọ sịrị ya, 'Nwa m, mụ na gị nọ mgbe niile, ihe niile m nwere bụkwa nke
gị. 32 Ma anyị kwesiri ịṅụrị ọṅụ, kpọọkwa oriri, n'ihi na nwanne gị nwoke a nwụrụ
anwụ ma ọ dịla ndụ ọzọ. O fukwara efu ma a chọtala ya.' "

# 16

*Ilu maka onyeisi ọrụ nwere uche*

1 Ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya sị, "Otu ọgaranya nwere otu onyeisi ọrụ nke e boro
ebubo na ọ na-ala akụ ya n'iyi. 2 Ya mere ọ kpọrọ ya sị ya, 'Gịnị bụ ihe a m na-anụ
banyere gị? Gbakọọrọ m otu i si na-elekọta akụ m, n'ihi na achọkwaghị m ka ị bụrụ
onyeisi ọrụ ọzọ.'
3 "Onyeisi ọrụ ahụ sịrị onwe ya, 'Gịnị ka m ga-eme ugbu a nna m ukwu na-achọ
ịkwụsị m ọrụ? Ike igwu ala adịghị m, ihere agakwaghị ekwe m ịrịọ arịrịọ. 4 Amatala
m ihe m ga-eme, nke a ga-enyere m aka ma ọ bụrụ na a chụpụ m n'ọrụ n'ebe a, aga
m enweta ndị ga-anabata m n'ụlọ ha.'
5 "Ya mere ọ kpọrọ ndị niile ji nna ya ukwu ụgwọ n'otu n'otu. Ọ jụrụ onye nke
mbụ sị, 'Ego ole bụ ụgwọ i ji nna m ukwu?'
6 "Ọ sịrị ya, 'Ọ bụ puku karama mmanụ oliv ka m ji ụgwọ ya.'
"Onyeisi ọrụ ahụ gwara ya sị, 'Ngwangwa, were akwụkwọ degharịa ya narị karama
ise.'
7 "Mgbe ahụ, ọ jụrụ onye nke abụọ sị, 'Ego ole bụ ụgwọ i ji?'
"Ọ sịrị ya, 'Ọ bụ narị akpa ọka wiiti.'
"Ọ sịrị ya, 'Ngwangwa degharịa ya iri akpa ọka wiiti asatọ.'
8 "Nna ya ukwu toro onyeisi ọrụ ahụ na-ekwesighị ntụkwasị obi n'ihi na ọ kpara
agwa dị ka onye nwere uche. N'ihi na ụmụ, nke ọgbọ a, ji akọnuche na-eso ndị ọgbọ
ha karịa ụmụ nke ìhè. 9 Agwa m unu, jirinụ akụnụba nke ajọ omume metara onwe
unu ndị enyi, ka ọ ga-abụ na mgbe ọ na-adịghịkwa akụ unu nwere, ha ga-anabata
unu n'ụlọ obibi ha ebighị ebi.
10 "Onye ọbụla kwesiri ntụkwasị obi n'ihe dị ntakịrị, ga-ekwesikwa ntụkwasị obi
n'ihe dị ukwuu. Onye na-ekwesikwaghị ntụkwasị obi n'ihe dị ntakịrị, agaghịkwa
ekwesi ntụkwasị obi n'ihe dị ukwuu. 11 Ọ bụrụ na unu abụghị ndị kwesiri ntụkwasị
obi n'akụ mmehie nke ụwa, onye ga-enyekwa ezi akụ n'aka unu na ntụkwasị obi
idebe? 12 Ọ bụrụkwa na unu abụghị ndị kwesiri ntụkwasị obi n'akụ onye ọzọ, onye
ga-enye unu ihe nke bụ nke unu?
13 "Ọ dịghị onye ọbụla pụrụ ife nna ukwu abụọ, n'ihi na ọ ga-achọ ịhụ otu n'ime
ha n'anya, kpọkwa nke ọzọ asị, maọbụ, sọpụrụ otu ma leịa nke ọzọ anya. Otu a kwa
i nweghị ike ife Chineke na akụ otu mgbe ahụ."
14 Mgbe ndị Farisii, bụ ndị hụrụ ego n'anya nụrụ ihe ndị a, ha jiri ya mee ihe ọchị.
15 Ọ sịrị ha, "Unu na-egosi onwe unu dị ka ndị ezi omume n'ihu ndị mmadụ ma

Chineke maara obi unu. N’ihi na ihe ndị mmadụ na-akpọ ihe dị oke mkpa bụ ihe rụrụ arụ n’anya Chineke.

*Ozizi ndị ọzọ*

16 “Iwu na ndị amụma nọ na-achị ruo oge Jọn bịara. Site n’oge ahụ, a na-ekwusa
oziọma nke alaeze Chineke, onye ọbụla na-ejikwa ike na-abanye n’ime ya. 17 Ọ dị mfe
ka eluigwe na ụwa gabiga karịa na a ga-ewepụ otu kpọm, site n’ihe niile dị n’iwu.
18 “Onye ọbụla gbara nwunye ya alụkwaghị m ma lụrụ nwanyị ọzọ na-eme mmehie
ịkwa iko. Onye ọ bụlakwa lụrụ nwanyị di ya jụrụ na-eme mmehie ịkwa iko.

*Onye ọgaranya na Lazarọs*

19 “Ọ dị otu ọgaranya na-eyi uwe odo odo na ezi akwa ọcha, na-erikwa nri dị mma
ụbọchị niile. 20 N’ọnụ ụzọ ụlọ ya, otu nwoke onye ogbenye nke ọnya juru ahụ ya
na-edina n’ebe ahụ. Aha ya bụ Lazarọs. 21 Ọ na-agụsị ya agụụ ike iri iberibe nri si
na tebul ọgaranya ahụ daa n’ala. Ọ bụladị ụmụ nkịta na-abịa na-aracha ọnya dị ya
n’ahụ.
22 “Mgbe onye ogbenye ahụ nwụrụ, ndị mmụọ ozi bịara buru ya gaa n’ebe Ebraham
nọ. Onye ọgaranya ahụ nwụkwara, e lie ya. 23 N’ọkụ ala mmụọ ebe onye ọgaranya
ahụ nọ n’oke ihe mgbu, ọ hụrụ Ebraham ka ọ nọ n’ebe dị anya, hụkwa Lazarọs
n’akụkụ ya. 24 Ọ kpọkuru Ebraham sị ya, ‘Nna m Ebraham, meere m ebere n’ihi na
anọ m n’oke ihe mgbu n’ime ọkụ a. Biko zienụ Lazarọs ka ọ denye mkpịsịaka ntakịrị
ya na mmiri bịa mejụọ ire m.’
25 “Ma Ebraham sịrị ya, ‘Nwa m, chetakwa na ị nara ezi ihe gị mgbe ị dị ndụ, ebe
Lazarọs nara ihe ọjọọ. Ma ugbu a, a na-akasị ya obi n’ebe a ma gị onwe gị nọkwa
n’ahụhụ. 26 A sịkwarị na anyị achọọ inyere gị aka, ọ gaghị ekwe mee n’ihi na e nwere
olulu dị ukwuu kewara anyị na unu. Mmadụ ọbụla enwekwaghị ike isite n’ebe a bịa
n’ebe unu nọ, ọ dịkwaghị onye nwere ike isite n’ebe ahụ unu nọ bịa n’ebe a.’
27 “Ọ sịrị, ‘Ya mere, arịọ m gị nna, ziganụ ya n’ụlọ nna m, 28 n’ihi na enwere m
ụmụnne nwoke ise. Ka ọ dọọ ha aka na ntị ka ha ghara ịbịa n’ebe a mmekpa ahụ
dị.’
29 “Ebraham sịrị, ‘Ha nwere Mosis na ndị amụma, ha gee ha ntị.’
30 “Ma o kwuru, ‘Nna Ebraham, nke ahụ agaghị ezu! A sị na otu onye ga-esi n’ala
ndị nwụrụ anwụ gakwuru ha, ha ga-echegharị.’
31 “Ọ sịrị ya, ‘Ọ bụrụ na ha egeghị Mosis na ndị amụma ntị, ha agaghị ekwenye ma
a sịkwarị na mmadụ esi n’ọnwụ bilie.’ ”

# 17

*Mmehie na okwukwe na ije ozi*

1 Ọ sịrị ndị na-eso ụzọ ya, “Ihe ndị nke na-eme ka mmadụ jehie aghaghị ịdị, ma
ahụhụ ga-adịrị onye ọbụla ọnọdụ ndị a ga-esi n’aka ya bịa. 2 Ọ ga-akara gị mma ka
e kenye gị nkume igwe nri n’olu, tụnye gị n’ime oke osimiri, karịa na ị ga-eduhie otu
n’ime ụmụntakịrị ndị a ụzọ. 3 Kpachapụrụnụ onwe unu anya!
“Ọ bụrụ na nwanna gị e mejọọ gị, baara ya mba. Ọ bụrụ na o chegharịa, gbaghara
ya. 4 Ọ bụrụkwa na o mejọọ gị ugboro asaa n’otu ụbọchị, rịọkwa gị ugboro asaa sị,
‘E chegharịala m,’ ị ghaghị ịgbaghara ya.”
5 Ndị ozi ya sịrị ya, “Onyenwe anyị, mee ka okwukwe anyị dị ukwuu!”
6 Onyenwe anyị zara, “Ọ bụrụ na unu nwere okwukwe nke ha ka mkpụrụ mọstaadị,
unu nwere ike ị sị osisi ukwu a, Ka e site na mgbọrọgwụ hopu gị ma kụọkwa gị n’ime
oke osimiri, ọ ga-erubere unu isi.
7 “Ọ bụ onye n’ime unu nke nwere ohu onye si ebe ọ gara rụọ ọrụ maọbụ ịzụ atụrụ
lọbata, ga-asị ya, ‘Mee ngwangwa nọdụ ala rie nri’? 8 Ọ gaghị asị ya, ‘Siere m nri

ọsịịsọ, kwadoo onwe gị jere m ozi ka m na-eri na aṅụkwa ihe ọṅụṅụ; emesịa ị ga-eri
nri ma ṅụọ ihe ọṅụṅụ nke gị'? 9 Ọ ga-ekele ohu ahụ n'ihi na ọ rụrụ ọrụ o kwesiri
ịrụ? 10 N'otu aka ahụ, mgbe unu rụchara ọrụ niile unu kwesiri ịrụ, ihe unu ga-ekwu
bụ, 'Anyị bụ ụmụ ohu na-ekwesighị ekwesi, anyị emeela ihe anyị kwesiri ime.' "

*Ọgwụgwọ ndị ekpenta iri*

11 Ka ọ na-aga Jerusalem, o sitere n'ụzọ dị n'agbata Sameria na Galili. 12 Mgbe ọ
banyere n'otu obodo nta, ndị ekpenta iri sitere n'ebe dị anya zute ya. 13 Ha tiri mkpu
n'oke olu sị, "Jisọs nna anyị ukwuu, mere anyị ebere."

14 Mgbe ọ hụrụ ha, ọ sịrị ha, "Gaanụ gosi ndị nchụaja onwe unu." Dị ka ha na-aga,
e mere ka ha dị ọcha.

15 Mgbe otu n'ime ha chọpụtara na a gwọọla ya, ọ laghachiri azụ, jiri oke olu na-eto
Chineke. 16 Ọ dara n'ala n'ụkwụ ya, kelee ya. Ọ bụ onye Sameria.

17 Jisọs jụrụ sị, "Ọ bụghị mmadụ iri ka e mere ka ha dị ọcha, ebeekwanụ ka itoolu
ndị ọzọ nọ? 18 Ọ bu naanị onye mba ọzọ a lọghachiri inye Chineke otuto?" 19 Mgbe
ahụ, ọ sịrị ya, "Bilie, laa, okwukwe gị agwọọla gị."

*Ọbịbịa nke alaeze Chineke*

20 Ma mgbe ndị Farisii jụrụ ya sị, Olee mgbe alaeze Chineke ga-abịa? O kwuru,
"Ọbịbịa alaeze Chineke agaghị a bụ n'ụzọ a ga-eji anya efu hụ ya. 21 Ha agaghịkwa
asị, 'Lee, ọ nọ n'ebe a,' maọbụ, 'n'ebe ahụ,' n'ihi n'ezie, alaeze Chineke nọ n'etiti
unu."

22 Mgbe ahụ, ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya, "Oge na-abịa mgbe ọ ga-agụsi unu agụụ
ike ịhụ otu n'ime ụbọchị nke Nwa nke Mmadụ, ma unu agaghị ahụ ya. 23 Ha ga-asị
unu, 'Lee, n'ebe ahụ,' maọbụ, 'Lee, n'ebe a,' unu agala, unu esokwala ha. 24 N'ihi
na Nwa nke Mmadụ n'ụbọchị ya ga-adị ka amụma nke eluigwe nke na-enye ìhè na
mbara eluigwe site n'otu ebe ruo n'ebe nke ọzọ. 25 Ma ọ ghaghị ibu ụzọ hụọ ọtụtụ
ahụhụ, ọgbọ a ga-ajụkwa ya.

26 "Dị ka ọ dị n'ụbọchị Noa, otu a ka ọ ga-adịkwa n'ụbọchị Nwa nke Mmadụ.
27 Ha nọ na-eri na-aṅụ, na-alụ nwunye na-ekekwa ụmụ ha di, ruo mgbe Noa banyere
n'ụgbọ mmiri. Oke iju mmiri ahụ bịakwara laa ha n'iyi.

28 "Otu a ka ọ dịkwa n'oge Lọt. Ha nọ na-eri, na-aṅụ, na-azụrịtakwa ahịa, na-akụ
mkpụrụ, na-arụkwa ụlọ. 29 Ma n'ụbọchị ahụ Lọt si n'obodo Sọdọm pụta, ọkụ na
nkume dị ọkụ sitere n'eluigwe zoo ka mmiri, laa ha niile n'iyi.

30 "Otu a ka ọ ga-adịkwa n'ụbọchị a ga-eme ka Nwa nke Mmadụ pụta ìhè.
31 N'ụbọchị ahụ, onye ọbụla nọ n'elu ụlọ, ma ihe ya dị n'ime ụlọ, arịtukwala ịba
n'ime ụlọ iburu ngwongwo ndị ahụ. N'otu aka ahụ, onye ọbụla nọ n'ubi, ya ghara
ịlọghachita. 32 Chetakwanụ nwunye Lọt. 33 Onye ọbụla chọrọ iche ndụ ya nche ka
ọ ga-efunarị, ma onye ọbụla na-atụfu ndụ ya ga-echebe ya. 34 Asị m unu, n'anyasị
ahụ mmadụ abụọ ga-edina n'otu akwa, a ga-ewepụ otu n'ime ha hapụ onye nke ọzọ.
35 Ụmụ nwanyị abụọ ga na-akwọ ọka n'otu ebe, a ga-ewere otu ma hapụ nke ọzọ."
36 Ụmụ nwoke abụọ ga-anọ n'ubi, a ga-ewere otu onye hapụ nke ọzọ.*

37 Ha jụrụ ya sị, "Olee ebe, Onyenwe anyị?"

Ọ sịrị ha, "Ebe ọbụla ozu dị, ka udele na-ezukọta."

# 18

*Ilu banyere ịnọgidesi ike*

1 Mgbe ahụ ọ tụụrụ ha ilu a iji gosi ha mkpa ọ dị ikpe ekpere na-esepụghị aka, 2 ọ
sịrị, "O nwere otu ọkaikpe bi n'otu obodo ma ọ naghị atụ egwu Chineke. Ọ naghị

* **17:36** 17:36 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye okwu ndị a dịka ọ dị n'akwụkwọ Mat 24:40.

asọpụkwara mmadụ. [3] N'obodo ahụkwa, e nwere otu nwanyị di ya nwụrụ anwụ nke
na-abịakwute ya, na-asị ya, 'Kpepụta m n'aka ndị na-emegide m.'
[4] "Na mmalite, ọ chọghị, ma n'ikpeazụ, ọ gwara onwe ya sị, 'Ọ bụ eziokwu na
anaghị m atụ egwu Chineke maọbụ sọpụrụ mmadụ. [5] Ma n'ihi na nwanyị a di ya
nwụrụ anwụ nọgidere na-enye m nsogbu, aga m ahụ na o nwetara ikpe ziri ezi, ka
ọ kwụsị inye m nsogbu site na ọbịbịa ọ na-abịa.' "
[6] Ya mere Onyenwe anyị sịrị, "Gerenụ ihe ọkaikpe nke na-eme ajọ omume na-ekwu.
[7] Ọ bụ na Chineke agaghị ekpepụta ndị ahụ ọ họpụtara, bụ ndị na-akpọku ya ehihie
na abalị? Ọ ga-anọ tee anya n'inyere ha aka? [8] Asị m unu, ọ ga-eme ngwangwa hụ na
ha nwetara ikpe ziri ezi. Ma otu ọ dị, mgbe Nwa nke Mmadụ ga-abịa, ọ ga-ahụkwa
ndị nwere okwukwe n'ime ụwa?"

*Ilu banyere onye Farisii na onye ọna ụtụ*

[9] Ọ tụkwara ilu a n'ihi ndị tụkwasịrị obi n'onwe ha na ha bụ ndị ezi omume ma
na-eleda ndị ọzọ anya. [10] "Ụmụ nwoke abụọ rigoro n'ụlọnsọ ukwu ikpe ekpere, otu
onye n'ime ha bụ onye Farisii, onye nke ọzọ bụ onye ọna ụtụ. [11] Onye Farisii ahụ
guzoro ọtọ kpee ekpere banyere onwe ya sị, 'Chineke nna m, ana m ekele gị n'ihi
na adịghị m ka mmadụ ndị ọzọ ndị na-apụnara mmadụ ihe ya n'ike, maọbụ ndị ajọ
omume, maọbụ ndị na-akwa iko, ma ọ bụkwanụ dị ka onye ọna ụtụ a. [12] Ana m ebu
ọnụ ugboro abụọ n'izu ụka ọbụla. Ana m akwụkwa otu ụzọ n'ụzọ iri nke ihe niile
m nwetara.'
[13] "Ma onye ọna ụtụ ahụ guzo n'ebe dị anya, o nwekwaghị ike iweli ihu ya elu lee
anya n'eluigwe. Kama, ọ na-eti aka n'obi ya na mwute na-asị, 'Chineke, biko mere m
ebere n'ihi na abụ m onye mmehie.'
[14] "Asị m unu, na nwoke a lara n'ụlọ ya bụrụ onye a gụrụ n'onye ezi omume n'ihu
Chineke karịa onye nke ọzọ. N'ihi na onye ọbụla ga-ebuli onwe ya elu ka a ga-eweda,
ma onye ọbụla na-eweda onwe ya ala ka a ga-ebuli elu."

*Jisọs na ụmụntakịrị*

[15] Ndị mmadụ na-ekutere ya ụmụntakịrị ka o bikwasị ha aka. Mgbe ndị na-eso
ụzọ ya hụrụ nke a, ha baara ha mba. [16] Ma Jisọs kpọrọ ha ka ha bịakwute ya, sị,
"Kweenụ ka ha bịakwute m, unu egbochikwala ha, n'ihi na alaeze Chineke bụ nke
ndị dị ka ha. [17] N'ezie, agwa m unu, onye ọbụla na-agaghị anara alaeze Chineke dị
ka nwantakịrị agaghị aba n'ime ya."

*Onye ọchịchị bara ọgaranya*

[18] Otu onye ọchịchị jụrụ ya sị, "Ezi onye ozizi, ọ bụ gịnị ka m ga-eme keta ndụ
ebighị ebi."
[19] Jisọs sịrị ya, "Gịnị mere i ji akpọ m ezi mmadụ? Ọ dịghị onye ọbụla bụ ezi
mmadụ ma ọ bụghị naanị Chineke. [20] Ị maara ihe niile enyere n'iwu, akwala iko,
egbula mmadụ, ezula ohi, agbala ama ụgha, sọpụrụ nne na nna gị.*"
[21] Ọ sịrị, "Edebezuchaala m iwu ndị a niile site na mgbe m bụ nwata."
[22] Mgbe Jisọs nụrụ nke a, ọ sịrị ya, "Otu ihe fọdụrụ ka ime: ree ihe niile i nwere,
kesara ụmụ ogbenye ego ya. Ị ga-enwe akụ n'eluigwe, bịazie soro m."
[23] Mgbe ọ nụrụ nke a, o wutere ya nke ukwuu, n'ihi na ọ bụ onye nwere ọtụtụ akụ.
[24] Jisọs lere ya anya sị, "Lee ka o si bụrụ ihe siri ike bụ ndị ọgaranya ịba n'alaeze
Chineke. [25] N'ezie, ọ dịrị ịnyịnya kamel mfe isite n'anya agịga gafee karịa ọgaranya
ịbanye n'alaeze Chineke."
[26] Ndị nụrụ ya sịrị, "Onye kwanụ ka a ga-azọpụta?"
[27] Ọ sịrị, "Ihe mmadụ na-apụghị ime, bụ ihe Chineke pụrụ ime."

---

* **18:20** 18:20 Ọpụ 20:12-16; Dit 5:16-20

28 Mgbe ahụ Pita sịrị, “Lee, anyị ahapụla ihe niile anyị nwere soro gị!”[†]
29 Ọ sịrị ha, “N’ezie, agwa m unu, o nweghị onye ọbụla hapụrụ ụlọ ya, maọbụ
nwunye, maọbụ ụmụnne, maọbụ ndị mụrụ ya, maọbụ ụmụntakịrị ya, n’ihi alaeze
Chineke 30 nke na-agaghị anata ihe ndị a n’ọgbọ a, nwekwa ndụ ebighị ebi n’ọgbọ
nke na-abịa.”

### *Jisọs ekwuo okwu banyere ọnwụ ya ọzọ*

31 Jisọs kpọpụrụ mmadụ iri na abụọ ahụ na-eso ụzọ ya n’akụkụ, gwa ha sị, “Anyị
na-aga Jerusalem, ihe niile ndị amụma dere banyere Nwa nke Mmadụ ga-emezu.
32 A ga-arara ya nyefee ya n’aka ndị mba ọzọ. Ha ga-akwa ya emo, mee ya ihe ihere,
bụkwaa ya ọnụ mmiri asụ. 33 Ha ga-apịa ya ihe, gbukwaa ya; ma n’ụbọchị nke atọ,
ọ ga-esite n’ọnwụ bilie ọzọ.”
34 Ma ha aghọtaghị ihe ọbụla n’okwu ndị a. E mere ka nkọwa okwu ndị a bụrụ ihe
e zoro ezo n’ebe ha nọ, ha aghọtakwaghị ihe o kwuru.

### *Onye ìsì ahụ ụzọ*

35 O ruo ka ọ bịaruru Jeriko nso, otu nwoke kpuru ìsì nọ n’akụkụ ụzọ na-arịọ arịrịọ.
36 Mgbe ọ nụrụ uzu igwe mmadụ ka ha na-agafe, ọ jụrụ ihe na-eme. 37 Ha gwara ya,
“Jisọs onye Nazaret na-agafe.”
38 O tiri mkpu sị, “Jisọs nwa Devid, meere m ebere!”
39 Ndị bu ụzọ baara ya mba ka o mechie ọnụ. Ma o tisiri mkpu ike sị, “Nwa Devid,
meere m ebere!”
40 Jisọs kwụsịrị, nye iwu ka a kpọtara ya nwoke ahụ. Mgbe o rutere nso, ọ jụrụ ya,
41 “Gịnị ka ị chọrọ ka m meere gị?”
Ọ sịrị, “Onyenwe anyị, ka e mee ka m hụ ụzọ ọzọ.”
42 Jisọs sịrị ya, “Hụ ụzọ, okwukwe gị agwọọla gị.” 43 Ngwangwa, o bidoro ịhụ
ụzọ ma soro Jisọs, na-etokwa Chineke. Ndị mmadụ niile, mgbe ha hụrụ ya tokwara
Chineke.

## 19

### *Zakịọs ezute Jisọs*

1 Ọ banyere Jeriko mgbe ọ na-agafe. 2 Otu nwoke nọ ebe ahụ, aha ya bụ Zakịọs; ọ
bụ onyeisi ndị ọna ụtụ bụrụkwa ọgaranya. 3 Ọ chọrọ ịhụ onye Jisọs bụ ma ebe ọ bụ
onye mkpụmkpụ, ọ dịrịghị ya mfe n’ihi igwe mmadụ. 4 Ya mere, ọ gbaara ọsọ gaa
n’ihu rigoro n’otu osisi sikamọ, ka o nwee ike ịhụ ya dị ka ọ na-agafe n’ụzọ ahụ.
5 Mgbe Jisọs rutere n’ebe ahụ, o lere anya n’elu sị ya, “Zakịọs, rịdata ngwangwa.
Aga m abụ ọbịa n’ụlọ gị taa.” 6 Ọ rịdatara n’otu mgbe ahụ jirikwa obi ụtọ nabata ya.
7 Mmadụ niile hụrụ nke a, ma bido na-atamu sị, “Ọ gaala ịbụ ọbịa onye mmehie.”
8 Ma Zakịọs biliri ọtọ gwa Onyenwe anyị, “Lee, Onyenwe anyị, aga m enye ndị
ogbenye ọkara ihe niile m nwere. Ọ bụrụkwa na o nwere onye m ghọgburu nara ya
ihe ọbụla, aga m akwụghachi ya okpukpu anọ.”
9 Jisọs gwara ya, “Taa nzọpụta abịala n’ụlọ a, n’ihi na onye a bụkwa nwa Ebraham.
10 N’ihi na Nwa nke Mmadụ bịara ịchọ na ịzọpụta ndị furu efu.”

### *Ilu banyere mkpụrụ ego iri*

11 Dị ka ha na-ege ya ntị n’okwu a, ọ gara n’ihu tụọrọ ha ilu, n’ihi na ọ nọ Jerusalem
nso, ha chekwara na o ruola mgbe alaeze Chineke ga-apụta ihe. 12 Ọ sịrị, “Otu nwoke
a mụrụ n’ọnọdụ dị elu gara obodo dị anya ka echie ya eze, ka ọ lọtakwa ma e mesịa.
13 Ya mere, ọ kpọrọ ndị ohu ya iri nye ha mkpụrụ ego iri sị ha, ‘Werenụ ego ndị a
zụọ ahịa ruo mgbe m ga-alọta.’

---

[†] **18:28** 18:28 Ihe niile gbasara ezinaụlọ anyị

14 “Ma ndị ọ na-achị kpọrọ ya asị, ha zipụkwara ndị ụkwụ ozi n’azụ ya na-asị, ‘Anyị achọkwaghị ka onye a chịa anyị.’
15 “Mgbe ọ natachara ikike ịbụ eze, ọ lọghachiri, kpọọ ndị ohu ya ahụ o nyere ego mgbe ọ na-apụ, ka ha bịa pịaziere ya ego ole ha ritere n’uru.
16 “Onye nke mbụ bịara sị, ‘Onyenwe m e jiri m mkpụrụ ego ị nyere m rite uru mkpụrụ ego iri ọzọ.’
17 “Nna ya ukwu sịrị ya, ‘I mere nke ọma, ezi odibo. N’ihi na i gosiri onwe gị onye kwesiri ntụkwasị obi n’ihe dịkarịsịrị nta, ị ga-achị mba iri.’
18 “Onye nke abụọ bịara sịkwa, ‘Onyenwe m, otu mkpụrụ ego gị amụtala mkpụrụ ego ise ọzọ.’
19 “Ọ sịrị ya, ‘Ị ga-achị obodo ise.’
20 “Onye nke ọzọ bịakwara sị, ‘Onyenwe m, lee mkpụrụ ego gị. Ekechiri m ya
n’akwa, zoo ya. 21 Atụrụ m egwu gị, n’ihi na ị bụ onye afọ tara mmiri, bụrụkwa onye
na-ewe ihe na-abụghị nke gị, na-aghọrọkwa mkpụrụ ị na-akụghị.’
22 “Ọ sịrị ya, ‘Ọ bụ okwu si gị n’ọnụ ka m ga-eji kpee gị ikpe, gị bụ ohu ọjọọ! I maara na afọ tara m mmiri, matakwa na m na-ewe ihe na-abụghị nke m, na-aghọrọkwa
mkpụrụ m na-akụghị? 23 Gịnị mere na i wereghị ego m tinye n’ụlọakụ? Nke ọ ga-
abụ mgbe m lọtara, m ga-anara ya na ọmụrụnwa ya.’
24 “Mgbe ahụ, ọ gwara ndị guzo n’ebe ahụ, ‘Napụtanụ ya mkpụrụ ego ahụ, were ya nye onye ji mkpụrụ ego iri.’
25 “Ha sịrị ya, ‘Nna anyị ukwu, o nwelarị mkpụrụ ego iri.’
26 “Ọ zara, ‘Asị m unu, onye ọbụla nwere ihe ka a ga-enyekwa ihe ọzọ, ma onye
na-enweghị ihe ka a ga-anapụ ọ bụladị ihe ahụ o nwere. 27 Ma ndị iro m ahụ, ndị
na-achọghị ka m bụrụ eze ha, kpụpụtanụ ha n’ebe a, gbukwaanụ ha n’ihu m.’ ”

### *Jisọs abata Jerusalem*

28 Mgbe ọ kwusiri nke a, ọ gakwara n’ihu n’ije ya ịga Jerusalem. 29 Mgbe ọ na-
abịaru Betfeji na Betani nso, n’Ugwu a na-akpọ Oliv, Jisọs zipụrụ mmadụ abụọ n’ime
ndị na-eso ụzọ ya, 30 sị, “Gaanụ n’ime obodo nta ahụ dị n’ihu unu. Mgbe unu na-abanye n’ime ya, unu ga-ahụ nwa ịnyịnya e kenyere n’ebe ahụ nke onye ọbụla na-
anọkwasịbeghi n’elu ya, tọpụnụ ya, kpụtara m ya. 31 Ọ bụrụ na onye ọbụla ajụọ
unu, ‘Gịnị mere unu ji atọpụ ya?’ Gwanụ onye ahụ sị, ‘Ọ dị Onyenwe anyị mkpa.’ ”
32 Ndị ahụ o zipụrụ gara hụ ya dị ka ọ gwara ha. 33 Mgbe ha bidoro ịtọpụ ya, ndị
nwe ya jụrụ ha sị, “Gịnị mere unu ji atọpụ nwa ịnyịnya ahụ?”
34 Ha sịrị, “Ọ dị Onyenwe anyị mkpa.”
35 Ha kpụtaara Jisọs nwa ịnyịnya ahụ, wụkwasịkwa uwe ha n’elu ya, nyere Jisọs
aka ka ọ rigoro n’elu ya. 36 Dị ka ọ na-aga, ndị mmadụ tụsara uwe ha n’okporoụzọ.
37 Mgbe o rutere n’ụzọ e si arịgo Ugwu Oliv, igwe mmadụ ndị ahụ na-eso ụzọ ya
malite iji ọṅụ na-eto Chineke n’oke olu n’ihi ọrụ ebube niile ha hụrụ, 38 na-asị,
“Onye a gọziri agọzi ka eze ahụ bụ nke na-abịa n’aha Onyenwe anyị.”*

“Udo n’eluigwe, ebube dịkwa n’ebe kachasị elu.”
39 Ụfọdụ n’ime ndị Farisii so igwe mmadụ ahụ gwara ya, “Onye ozizi, gwa ndị na-eso ụzọ gị ka ha mechie ọnụ!”
40 Ọ zara sị, “Ka m gwa unu, ọ bụrụ na ha agbaa nkịtị, nkume ndị a ga-eti mkpu.”
41 Mgbe ọ rutere Jerusalem nso, ebe ọ nọ hụzie obodo ahụ anya nke ọma. Ọ bere
akwa n’ihi ya, 42 sị, “Ọ bụrụ na ị maara taa, ọ bụladị gị onwe gị, ihe ndị na-eweta
udo! Ma ugbu a, ezofuola ha n’anya gị. 43 Oge na-abịa mgbe ndị iro gị ga-agba gị
gburugburu, mechie ụzọ mgbapụ niile, sitekwa n’ụzọ niile dị iche iche bịakwasị gị.

* **19:38** 19:38 Abụ 118:26

44 Ha ga-egwepịa gị n'ala, gị na ụmụ gị nọ n'ime mgbidi a, ọ dịkwaghị nkume ọbụla
ha ga-ahapụ n'elu ibe ya, n'ihi na ị mataghị oge nleta Chineke nye gị."

### *Jisọs n'ime ụlọnsọ ukwu Chineke*

45 Mgbe ahụ, ọ banyere n'ime ụlọnsọ ukwu bido ịchụpụ ndị nọ ebe ahụ na-ere
ahịa. 46 Ọ sị ha, "E dere ya n'akwụkwọ nsọ 'na a ga-akpọ ụlọ m ụlọ ekpere'; ma unu
emeela ya 'ọgba ndị na-apụnara mmadụ ihe n'ike.'† "
47 Ụbọchị niile, ọ na-anọ na-akụzi ihe n'ụlọnsọ ukwu ahụ. Ma ndịisi nchụaja na ndị
ozizi iwu na ndị ndu n'etiti ndị mmadụ, nọ na-achọ ụzọ ha ga-esi gbuo ya. 48 Ma ha
achọtaghị ụzọ ọbụla ime ya, n'ihi na mmadụ niile sogidere ya kwenyekwara n'okwu
ya.

## 20

### *Ajụjụ banyere ike Jisọs nwere*

1 Otu ụbọchị, ka ọ nọ n'ụlọnsọ ukwu na-ezi ndị mmadụ ihe na-ekwusakwa oziọma.
Ndịisi nchụaja, na ndị ozizi iwu na ndị okenye bịakwutere ya. 2 Ha sịrị ya, "Gwa
anyị, olee ikike i ji na-eme ihe ndị a niile? Onye nyekwara gị ikike a?"
3 Ọ zara ha sị, "Aga m ajụkwa unu otu ajụjụ. Gwanụ m, 4 baptizim nke Jọn, o si
n'eluigwe ka o si n'aka mmadụ?"
5 Ha kparịtara ụka n'etiti onwe ha ma sị, "Ọ bụrụ na anyị asị na o sitere n'eluigwe,
ọ ga-asị, 'Gịnị mere unu na-ejighị kwenye na ya?' 6 Ọ bụrụkwanụ na anyị asị na, 'o
sitere n'aka mmadụ,' ndị mmadụ ga-atụ anyị nkume, n'ihi na ha niile kweere na Jọn
bụ onye amụma."
7 Ya mere, ha zara, "Anyị amaghị ebe o si bịa."
8 Jisọs sịrị ha, "Enwekwaghị m ike ịgwa unu ikike m ji na-eme ihe ndị a."

### *Ilu maka ndị ọrụ ubi*

9 Ọ gara n'ihu tụọrọ ndị mmadụ ilu a sị, "Otu nwoke nwere ubi vaịnị, nke o nyefere
n'aka ndị ga-elekọta ya anya ma pụọ gaa njem n'ala ọzọ ebe ọ nọrọ ogologo oge.
10 Mgbe oge iwe ihe ubi ruru, o zigara otu n'ime ndị ohu ya ka ọ bịakwute ndị ahụ
na-elekọtara ya ubi, ka ha nyekwa ya ụfọdụ n'ime mkpụrụ ubi vaịnị ahụ. Ma ndị
na-elekọtara ya ubi jidere ya, tie ya ihe, zilaga ya n'aka efu. 11 O zigakwara ohu ya
ọzọ. Ma ha tikwara ya ihe mee ya ihe ihere, zilakwaa ya n'aka efu. 12 O zigakwara
onye nke atọ, ma ha merụrụ ya ahụ, chụlaa ya.
13 "Mgbe ahụ, onyenwe ubi vaịnị ahụ sịrị, 'Gịnị ka m ga-eme? Aga m ezigara ha
ọkpara m, nke m hụrụ n'anya, ma eleghị anya ha ga-asọpụrụ ya.'
14 "Ma mgbe ndị na-elekọta ubi ahụ hụrụ ya, ha kwurịtara n'etiti onwe ha, sị,
'Onye a bụ onye nketa ihe niile a, ka anyị gbuo ya, ka ihe nketa a bụrụzia nke anyị.'
15 Ya mere, ha kpụfere ya n'azụ ubi vaịnị ahụ, gbuo ya.
"Gịnị ka onye nwe ubi ahụ ga-eme ha? 16 Ọ ga-abịa, laa ndị ahụ na-elekọta ubi ahụ
n'iyi, were ubi vaịnị ahụ nye ndị ọzọ."
Mgbe ndị ahụ nụrụ nke a, ha sịrị, "Chineke ekwela."
17 O legidere ha anya sị, "Gịnịkwa ka unu chere na ihe e dere n'akwụkwọ nsọ
pụtara,
" 'Nkume ahụ ndị na-ewu ụlọ jụrụ
aghọọla nkume nke isi ntọala ụlọ'*?
18 Onye ọbụla nke dakwasịrị n'elu nkume ahụ, ka a ga-etiwasị, ma onye ọbụla ọ
dakwasịrị, ka ọ ga-egwepịa."
19 Ndị ozizi iwu na ndịisi nchụaja chọrọ ụzọ ha ga-esi jide ya n'otu oge ahụ n'ihi
na ha matara na ọ bụ ha ka o bu n'obi tụọ ilu ahụ, ma ha tụrụ egwu ndị mmadụ.

† **19:46** 19:46 Aịz 56:7; Jer 7:11 * **20:17** 20:17 Abụ 118:22

*Ilu banyere ụtụ isi nye Siza*

[20] Ya mere, ha chere ya nche nke ọma, ma zipụ ndị nnyopụta, ndị mere onwe ha
dịka ndị ezi omume, ka ha chọpụta ma o nwere ụzọ ha ga-esi jide ya site n'ihe ọ
ga-ekwu, ka ha site na nke a nyefee ya n'aka ọchịchị na ike onyeisi ala. [21] Ya mere
ndị nnyopụta ahụ jụrụ ya sị, "Onye ozizi, anyị mara na i na-ekwu ma na-ezikwa ihe
ziri ezi, matakwa na i dịghị ele mmadụ anya n'ihu, kama ị na-ezi ụzọ Chineke dị ka
eziokwu si dị. [22] O ziri ezi n'iwu ka anyị tụọ ụtụ isi nye Siza, ka ọ bụ na o zighị ezi?"
[23] Ma ọ matara na nke a bụ ajụjụ aghụghọ, ya mere ọ sịrị ha, [24] "Gosinụ m otu
mkpụrụ ego denarị. Isi onye ka e sere n'elu ya, aha onye ka e dekwasịkwara ya?"

Ha sịrị, "Ọ bụ nke Siza."

[25] Ọ sịrị ha, "Ya mere, nyenụ Siza ihe bụ nke Siza, nyekwanụ Chineke ihe bụ nke
Chineke."
[26] Ha enweghị ike ijide ya n'ihi ihe o kwuru n'ebe ahụ, n'ihu ọha mmadụ. Ọsịsa
ya juru ha anya, ha mechikwara ọnụ.

*Mbilite n'ọnwụ na ọlụlụ di na nwunye*

[27] Ụfọdụ ndị Sadusii, ndị sị na mbilite n'ọnwụ adịghị, bịakwutere ya [28] ma jụọ ya
sị, "Onye ozizi, Mosis deere anyị na ọ bụrụ na nwanne nwoke mmadụ anwụọ hapụ
nwunye ya na-amụtaghị nwa, na nwoke dị otu a ga-alụrụ nwunye nwanne ya nwoke
ahụ, sị otu a, mụtara nwanne ya ụmụ. [29] Ugbu a, e nwere ụmụnne nwoke asaa, onye
nke mbụ lụrụ nwanyị, nwụọ na-amụtaghị nwa. [30] Nke abụọ kwa [31] na onye nke
atọ lụrụkwara ya. N'otu aka ahụ ha asaa lụchara ya ma nwụọ na-amụtaghị nwa.
[32] N'ikpeazụ nwanyị ahụ n'onwe ya nwụkwara. [33] Ya mere, n'oge mbilite n'ọnwụ
nwunye onye ka ọ ga-abụ? N'ihi na ha asaa lụchara ya?"

[34] Jisọs gwara ha, "Ndị nke ọgbọ a na-alụ nwunye, ma na-enyekwa ụmụ ha ka a
lụrụ ha. [35] Ma ndị ahụ a gụrụ dị ka ndị kwesiri isoro keta oke n'ọgbọ ahụ, nakwa na
mbilite n'ọnwụ agaghị alụ di na nwunye. [36] N'ezie, ha apụghịkwa ịnwụ ọzọ, n'ihi na
ha dị ka ndị mmụọ ozi. Ha bụ ụmụ Chineke, n'ihi na ha bụ ụmụ nke mbilite n'ọnwụ.
[37] Ọ bụladị Mosis n'onwe ya zipụtara na mbilite n'ọnwụ dị, n'akụkọ banyere ọhịa
ahụ na-ere ọkụ, mgbe ọ na-akpọ Onyenwe anyị 'Chineke nke Ebraham, Chineke nke
Aịzik na Chineke nke Jekọb.'† [38] Ọ bụghị Chineke nke ndị nwụrụ anwụ, kama ọ bụ
nke ndị dị ndụ, n'ihi n'ebe ọ nọ mmadụ niile dị ndụ."
[39] Ụfọdụ ndị ozizi iwu zara ya sị, "Onye ozizi, ị kwuru nke ọma." [40] O nwekwaghị
onye ọbụla jụrụ ya ajụjụ ọzọ.

*Nwa onye ka Kraịst bụ?*

[41] Ma ọ sịrị ha, "Olee otu ha si kwuo na Kraịst ahụ bụ nwa Devid? [42] Devid n'onwe
ya kwupụtara n'akwụkwọ Abụ Ọma, sị:

" 'Onyenwe anyị gwara Onyenwe m,<br>
"Nọdụ ala n'aka nri m<br>
[43] ruo mgbe m ga-eme ndị iro gị<br>
ihe mgbakwasị ụkwụ nye ụkwụ gị." '‡

[44] Devid n'onwe ya kpọrọ ya 'Onyenwe anyị.' Oleekwanụ otu o si bụrụ nwa ya?"

*Ịdọ aka na ntị banyere ndị ozizi iwu*

[45] Mgbe ndị mmadụ na-ege ntị, ọ sịrị ndị na-eso ụzọ ya, [46] "Kpacharanụ anya n'ebe
ndị ozizi iwu nọ. Ndị iyi uwe mwụda na-ejegharị ebe niile na-amasị, ndị hụrụ ekele
pụrụ iche bụ nke a na-ekele ha n'ọma ahịa n'anya. Ndị ọ na-amasịkwa ịnọkwasị
n'oche kachasị elu n'ụlọ ekpere nakwa n'oche pụrụ iche na mmemme oriri ọbụla.
[47] Ha na-eripịa ihe niile dị n'ụlọ ndị inyom ndị di ha nwụrụ anwụ, n'ekpe ogologo
ekpere ka a hụta ha. Ndị dị otu a ka a ga-ata ahụhụ dị ukwuu."

† **20:37** 20:37 Ọpụ 3:6 ‡ **20:43** 20:43 Abụ 110:1

# 21

*Onyinye nwanyị dị ya nwụrụ*
1 Ọ leliri anya elu hụ ka ndị ọgaranya si etinye onyinye ha n’ime igbe onyinye. 2 Ọ
hụkwara otu nwanyị di ya nwụrụ anwụ ka ọ bịara tinye naanị mkpụrụ ego kọpa
abụọ. 3 Ọ sịrị, “N’ezie, agwa m unu, nwanyị ogbenye a di ya nwụrụ etinyela ego
karịa ndị ọzọ niile. 4 N’ihi na ndị ọzọ niile nyere onyinye ha site n’ego mapụtaara
ha n’akụnụba ha, ma ya onwe ya sitere n’ogbenye ya tinye ihe niile o ji biri.”

*Akara na-egosi ọgwụgwụ oge*
5 Mgbe ụfọdụ na-ekwu okwu banyere otu e si were nkume mara mma na onyinye
e chere n’ihu Chineke, chọọ ụlọnsọ ukwu ahụ mma, ọ sịrị, 6 “Ma banyere ihe ndị a,
oge na-abịa mgbe ihe ndị a niile unu na-ahụ na-agaghị adịkwa. Ọ dịghị otu nkume
a ga-ahapụ n’elu ibe ya, a ga-akwatusị ha niile.”
7 Ha jụrụ ya sị, “Onye ozizi, olee mgbe ihe ndị a ga-emezu? Gịnị ga-abụkwa ihe
ịrịbama ga-egosi na ha na-aga imezu?”
8 Ọ sịrị, “Lezienụ anya ka a ghara iduhie unu n’ihi na ọtụtụ ga-abịa n’aha m sị,
‘Abụ m ya,’ na-asịkwa na ‘Oge ahụ dị nso.’ Unu esokwala ha. 9 Mgbe ọbụla unu nụrụ
akụkọ agha dị iche iche na ọgbaaghara, ka ụjọ ghara ịtụ unu, ihe ndị a aghaghị ibu
ụzọ mezuo, ma ọgwụgwụ oge erubeghị.”
10 Mgbe ahụ, ọ sịrị ha, “Mba ga-ebili megide mba, alaeze ga-ebilikwa megide alaeze.
11 A ga-enwe ala ọma jijiji dị ukwuu. Ụnwụ na ọrịa ọjọọ dị iche iche ga-adịkwa n’ebe
dị iche iche. A ga-ahụ ihe dị egwu na ihe ịrịbama dị ukwuu site na mbara eluigwe.
12 “Ma tupu ihe ndị a niile emezuo, ha ga-ejide unu, kpagbukwaa unu. Ha ga-
enyefe unu n’aka ọtụtụ ụlọ ekpere. Ha ga-atụkwa unu mkpọrọ. Ha ga-akpọpụkwa
unu n’ihu ndị eze na ndị ọchịchị n’ihi aha m. 13 Nke a ga-abụrụ unu ohere iji gbaa
akaebe. 14 Ma burunu ụzọ kpebie n’obi unu na unu agaghị echegbu onwe unu maka
ihe unu ga-aza. 15 N’ihi na aga m enye unu ụdị okwu na amamihe nke ndị na-ebo
unu ebubo na-enweghị ike iguzogide maọbụ kwuo okwu megide. 16 Ọ bụladị ndị
mụrụ unu, ụmụnne unu ndị nwoke na ndị nwanyị, ndị ikwu unu na ndị enyi unu,
ha ga-arara unu nye n’aka ndị ọchịchị, ndị ga-egbukwa ụfọdụ n’ime unu. 17 Mmadụ
niile ga-akpọ unu asị n’ihi m. 18 Ma otu agịrị isi dị n’isi unu agaghị ala n’iyi. 19 Unu
ga-azọpụta ndụ unu site na ntachiobi unu.
20 “Mgbe unu hụrụ ka ndị agha gbara Jerusalem gburugburu, matanụ na oge e ji
ala ya n’iyi eruola. 21 N’oge ahụ ka ndị nọ na Judịa gbalaga n’ugwu, ka ndị nọ n’ime
obodo si na ya pụta, ka ndị na-anọghị n’obodo gharakwa ịba n’ime ya. 22 N’ihi na
oge a ga-abụ oge ịbọ ọbọ ka e mezuo ihe niile akwụkwọ nsọ kwuru. 23 Ma ahụhụ
ga-adịrị ndị dị ime, na ndị na-enye ụmụaka ara, n’ụbọchị ahụ! A ga-enwe oke ihe
mgbu n’ala a, iwe ga-adakwasịkwa ụmụ mmadụ. 24 Mma agha ga-egbu ha, mba niile
ga-adọrọkwa ha n’agha. Ndị mba ọzọ ga na-azọtọsị Jerusalem n’ụkwụ ruo mgbe oge
nke ndị mba ọzọ ahụ zuru.
25 “A ga-enwe ihe ịrịbama n’anyanwụ, n’ọnwa, na kpakpando. N’elu ụwa, mba
niile ga-anọ n’oke ahụhụ na mgbagwoju anya dị ka oke osimiri na-eme mkpọtụ,
ebili mmiri ga na-ebilikwa. 26 Ndị mmadụ ga-adakwa mba n’obi n’ihi ụjọ mgbe ha
ghọtara ihe gaje ịbịakwasị ụwa, n’ihi na a ga-eme ka ike niile nke dị n’eluigwe maa
jijiji. 27 N’oge ahụ, a ga-ahụ Nwa nke Mmadụ ka ọ na-abịa n’ike na ebube n’igwe ojii.
28 Mgbe ihe ndị a malitere ime, guzoronụ ọtọ welie isi unu elu, n’ihi na oge mgbapụta
unu dị nso.”
29 Ọ tụụrụ ha ilu a, “Leenụ osisi fiig na osisi ndị ọzọ niile anya. 30 Mgbe ha bidoro
ipupụta ahịhịa ọhụrụ, unu na-amata na ọkọchị adịla nso. 31 N’ụzọ dị otu a kwa,
mgbe unu hụrụ ihe ndị a niile ka ha na-eme, matanụ na alaeze Chineke adịla nso.

32 “N’ezie agwa m unu, ọgbọ a agaghị agabiga tupu ihe ndị a niile emezuo.
33 Eluigwe na ụwa ga-agabiga, ma okwu m enweghị ike ịgabiga.
34 “Kpachapụkwanụ anya, unu ekwela ka e bogbuo obi unu site n’oke oriri na
ọṅụṅụ na nchekasị nke ndụ a, site otu a mee ka ụbọchị ahụ bịakwasị unu na mberede,
dị ka ọnya. 35 N’ihi na ọ ga-abịakwasị ndị niile bi n’elu ụwa. 36 Nọrọnụ na nche oge
niile ma na-ekpekwanụ ekpere ka unu nwee ike ịgbanarị ihe niile gaje ịbịa, ka unu
nweekwa ike iguzo n’ihu Nwa nke Mmadụ.”
37 Kwa ụbọchị, ọ na-ezi ihe n’ụlọnsọ ukwu ahụ, ma n’uhuruchi, ọ na-arịgoro n’elu
Ugwu Oliv ị ga nọọ ọnọdụ abalị. 38 Ndị mmadụ niile na-abịakwute ya n’isi ụtụtụ
niile n’ụlọnsọ ukwu ịnụrụ okwu ya.

# 22

### *Judas agbaa Jisọs mgba okpuru*

1 N’oge a, Mmemme Achịcha na-ekoghị eko nke a na-akpọ Ngabiga na-eru nso.
2 Ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu nọkwa na-achọ ụzọ ha ga-esi gbuo ya, n’ihi na ha
na-atụ egwu ndị mmadụ. 3 Mgbe ahụ, ekwensu banyere n’ime Judas, onye a na-akpọ
Iskarịọt, otu n’ime mmadụ iri na abụọ na-eso ụzọ ya. 4 Ọ gakwuru ndịisi nchụaja, na
ndịisi ndị nlekọta nke ụlọnsọ ukwu ahụ, ya na ha akparịta ụka otu ọ ga-esi rara ya
nyefee ya n’aka ha. 5 Ha ṅụrịrị ọṅụ ma kwekwa nkwa inye ya ego. 6 O kwenyere, na-
achọkwa ohere ga-adị mma ọ ga-eji nyefee ya n’aka ha mgbe igwe mmadụ na-agaghị
anọ.

### *Nri anyasị nke ikpeazụ*

7 O ruo n’ụbọchị Mmemme Achịcha na-ekoghị eko ahụ bụ ụbọchị a na-eji atụrụ
Ngabiga achụ aja. 8 O zipụrụ Pita na Jọn sị, “Gaanụ kwadoo maka oriri Ngabiga nke
anyị ga-eri.”
9 Ha sịrị ya, “Ebee ka ị chọrọ ka anyị gaa kwadoo maka ya?”
10 Ọ sịrị ha, “Lee, ka unu na-abata n’obodo, otu nwoke bu ite mmiri ga-ezute unu,
soronụ ya baa n’ụlọ ọbụla ọ banyere. 11 Sịnụ onyenwe ụlọ ahụ, ‘Onye ozizi sịrị, Olee
ụlọ ndị ọbịa ebe mụ na ndị na-eso ụzọ m ga-anọ rie oriri Ngabiga?’ 12 Ọ ga-egosi unu
otu ọnụụlọ buru ibu dị n’elu ụlọ nke e dozicharala ihe niile, kwadoonụ nri anyị n’ebe
ahụ.”
13 Ha gara chọpụta ihe niile dị ka ọ gwara ha. Ha kwadokwara nri Ngabiga ahụ.
14 Mgbe oge awa ahụ ruru, ya na ndị na-eso ụzọ ya gara ebe ahụ nọdụ ala iri ihe.
15 Ọ sịrị ha, “Ọ gụrụ m nnọọ agụụ ka mụ na unu rie nri Ngabiga a tupu mụ ataa
ahụhụ. 16 N’ihi na asị m unu, agaghị m erikwa ya ọzọ tutu ruo mgbe a ga-emezu ya
n’alaeze Chineke.”
17 O buru iko, mgbe o nyechara ekele ọ sịrị, “Burunu nke a kesaa n’etiti unu. 18 N’ihi
na asị m unu, site ugbu a ga n’ihu, agaghị m aṅụ mmanya sitere na mkpụrụ vaịnị
ọzọ, ruo mgbe alaeze Chineke ga-abịa.”
19 O werekwara otu ogbe achịcha, mgbe o nyechara ekele, ọ nyawaa ya nye ha sị,
“Nke a bụ ahụ m nke e nyere n’ihi unu. Na-emenụ nke a iji na-echeta m.”
20 N’otu ụzọ ahụ, mgbe ha risiri nri anyasị o buuru iko sị, “Iko a bụ iko nke ọgbụgba
ndụ ọhụrụ n’ọbara m, nke a na-awụpụ n’ihi unu. 21 Ma lee, onye ahụ nke ga-arara
m nye nọnyeere m, o sokwa m na-eri nri. 22 Nwa nke Mmadụ na-aga ịnwụ dị ka e
kpebiri ya, ma ahụhụ ga-adịrị nwoke ahụ a ga-esi n’aka ya rara ya nye.” 23 Ha bidoro
ịjụrịta onwe ha onye ọ bụ n’etiti ha ga-eme nke a.
24 Ịrụ ụka malitere n’etiti ha banyere onye n’ime ha ka a na-agụ na ọ dị ukwuu karịa
ibe ya. 25 Ma ọ sịrị ha, “Ndị eze ndị mba ọzọ na-eji aka ike na-achị ndị nọ n’okpuru
ha. Otu aka ahụkwa, a na-akpọ ndị na-achị achị enyi ndị mmadụ. 26 Ma unu onwe

unu agaghị adị otu a. Kama onye kachasị ibe ya ịdị elu dịrị ka onye dịkarịsịrị nta.
Ka onyeisi dịrị ka onye na-eje ozi. 27 Onye dị elu karịa ibe ya? Ọ bụ onye nọdụrụ
ala rie nri na tebul ka ọ bụ onye siri nri dozie ya na tebul? Ọ bụghị onye nọdụrụ
ala rie nri na tebul? Ma adị m ka onye na-eje ozi n'etiti unu. 28 Ọ bụ unu onwe unu
bụ ndị nọnyere m n'oge ọnwụnwa m niile. 29 Ana m enye unu alaeze dị ka Nna m
nyere m ya. 30 Ka unu nwe ike isoro m rie ma ṅụọkwa n'alaeze m. Sorokwa m nọdụ
n'ocheeze na-ekpe ebo iri na abụọ nke Izrel ikpe.
31 "Saimọn, Saimọn, lee ekwensu arịọla ike iyọcha unu dị ka ọka wiiti. 32 Ma
ekpeelara m gị ekpere ka okwukwe gị ghara ịda. Mgbe ị kwudosiri ike, gbaakwa
ụmụnna gị ume."
33 Ma ọ sịrị ya, "Onyenwe anyị, ejikeere m isoro gị gaa mkpọrọ, ma sorokwa gị
nwụọ."
34 Jisọs zara, "Agwa m gị Pita, tupu oke ọkụkụ akwaa akwa taa, ị ga-agọnarị m
ugboro atọ, si na ị maghị onye m bụ."
35 Ọ gwara ha, "Mgbe m zipụrụ unu na mbụ sị unu ewerekwala ego, maọbụ akpa
maọbụ akpụkpọụkwụ, o nwere ihe kọrọ unu?"
Ha sịrị, "O nweghị ihe kọrọ anyị."
36 Ọ sịrị ha, "Ugbu a, ọ bụrụ na i nwere akpa ego, were ya, ma werekwa akpa
ije. Ọ bụrụkwa na i nweghị mma agha ree uwe mgbokwasị gị zụtara onwe gị otu.
37 N'ihi na agwa m unu, na a ga-emejupụta ihe ndị a e dere n'akwụkwọ nsọ n'ime
m, A gụkọtara ya na ndị na-emebi iwu.* N'ezie, ihe e dere banyere m eruwela mgbe
ọ ga-emezu."
38 Ha sịrị, "Onyenwe anyị, lee mma agha abụọ dị ebe a."
Ọ sịrị ha, "Nke ahụ ezuola."

### *Ekpere Jisọs kpere n'Ugwu Oliv*

39 Jisọs pụrụ gaa n'Ugwu Oliv dị ka ọ na-eme mgbe dum, ndị na-eso ụzọ ya sokwa
ya gaa. 40 Mgbe o ruru n'ebe ahụ, ọ sịrị ha, "Kpeenụ ekpere ka unu ghara ịdaba
n'ọnwụnwa." 41 Ọ hapụrụ ha gaa ihe ha ka nzọ ụkwụ ole na ole nọrọ n'ebe ahụ gbuo
ikpere n'ala kpee ekpere, sị, 42 "Nna ọ bụrụ na ị chọrọ, nara m iko a, ma otu ọ dị, ọ
bụghị ka e mee uche m, kama ka e mezuo uche gị." 43 Otu mmụọ ozi si n'eluigwe
bịakwutere ya, gbaakwa ya ume. 44 Site n'oke ihe mgbu, o kpere ekpere kpesie ike,
nke mere na ọsụsọ si ya n'ahụ na-adapụ n'ala dị ka ọkpụrụkpụ ọbara.
45 Mgbe o kpechara ekpere bilie, ọ bịakwutere ndị na-eso ụzọ ya hụ ha ka ha na-
arahụ ụra n'ihi ihe mwute nke obi. 46 Ọ sịrị ha, "Gịnị mere unu ji na-arahụ ụra?
Bilienụ kpee ekpere ka unu ghara ịdaba n'ọnwụnwa."

### *Njide e jidere Jisọs*

47 Mgbe ọ ka kpụ okwu n'ọnụ, igwe mmadụ bịara, onye du ha bụ onye a na-akpọ
Judas, bụ otu n'ime mmadụ iri na abụọ ahụ na-eso ụzọ ya. Ọ bịaruru Jisọs nso, isutu
ya ọnụ. 48 Ma Jisọs sịrị ya, "Judas, ọ bụ site n'isutu ọnụ ka i ji arara Nwa nke Mmadụ
nye?"
49 Mgbe ndị nọ ya gburugburu hụrụ ihe gaje ime, ha sịrị, "Onyenwe anyị, ọ bụ anyị
were mma agha gbuo?" 50 Otu n'ime ha ji mma gbuo ohu onyeisi nchụaja, gbupụ ntị
aka nri ya.
51 Ma Jisọs sịrị, "O zuola!" O metụkwara ntị nwoke ahụ aka gwọọ ya.
52 Mgbe ahụ, Jisọs sịrị ndịisi nchụaja, na ndị nlekọta nke ụlọnsọ ukwu na ndị
okenye, "Gịnị mere unu ji chịrị mma agha na mkpọ bịa ijide m, dị ka a ga-asị na
m bụ onye ohi o ji egbe ezu? 53 Mgbe mụ na unu na-anọ kwa ụbọchị n'ime ụlọnsọ

---

* **22:37** 22:37 Aịz 53:12

ukwu ahụ, ma unu emetụghị m aka. Ma ugbu a bụ oge awa unu bụrụkwa mgbe ike
ọchịchịrị na-achị achị.”

*Pita agọnarị Jisọs*

54 Mgbe ahụ ha jidere ya duru ya pụọ, gaa n’ụlọ onyeisi nchụaja. Pita sokwara ha
n’azụ kama ọ nọ n’ebe dị anya. 55 Mgbe ha kwanyere ọkụ n’etiti mbara ezi obi ahụ,
ma nọdụ ala gba ọkụ ahụ gburugburu, Pita sokwara ha nọdụ ala. 56 Ka ọ na-anya
ọkụ ahụ, otu nwaagbọghọ na-eje ozi hụrụ ya, o leruru ya anya nke ọma, sị, “Onye a
na Jisọs nọkọrọ.”
57 Ma ọ gọrọ agọ sị, “Nwanyị, amaghị m onye ọ bụ.”
58 Mgbe oge nta gasịrị, onye ọzọ hụkwara ya kwukwaa sị, “Gị onwe gị bụkwa otu
onye n’ime ha.”
Ma Pita kwuru sị, “Nwoke m, abụghị m.”
59 Mgbe ihe dị ka otu awa gafere, onye ọzọ bịakwara kwusie okwu ike, “N’ezie,
nwoke a so ya n’ihi na ọ bụ onye Galili.”
60 Pita sịrị, “Nwoke m, amaghị m ihe ị na-ekwu maka ya?” Dị ka ọ kpụ okwu ahụ
n’ọnụ, oke ọkpa kwara akwa. 61 Mgbe ahụ, Onyenwe anyị tụgharịrị lee Pita anya.
Pita chetakwara okwu Onyenwe anyị gwara ya nke bụ, “Tupu oke ọkpa akwa akwa
taa, ị ga-agọnarị m ugboro atọ.” 62 Ma ọ pụrụ n’ezi gaa bee akwa na mwute.

*Ndị nche kwara Jisọs emo*

63 Ndị ahụ na-eche ya nche bidoro na-akwa ya emo na-etikwa ya ihe. 64 Ha jiri
akwa kechie ya anya, sị ya, “Buo amụma, onye tiri gị ihe?” 65 Ha kwukwara ọtụtụ
okwu ọjọọ na nke mkparị megide ya.

*Jisọs n’ihu Pailet na Herọd*

66 Mgbe chi bọrọ, nzukọ ndị okenye na ndịisi nchụaja, na ndị ozizi iwu zukọtara,
a kpọtakwara Jisọs n’ihu ha. 67 Ha na-ekwu, “Ọ bụrụ na ị bụ Kraịst, gwa anyị.”
Ọ sịrị ha, “Ọ bụrụ na m agwa unu, unu agaghị ekwe. 68 Ọ bụrụkwa na m ajụọ
unu ajụjụ, unu agaghị aza m. 69 Ma site ugbu a gawa, Nwa nke Mmadụ ga-anọdụ ala
n’aka nri nke ike Chineke.”
70 Ha niile sịrị, “Gị onwe gị, ị bụ Ọkpara Chineke?”
Ọ sịrị ha, “Unu kwuru na Abụ m.”
71 Mgbe ahụ ha sịrị, “Gịnị mere anyị ji na-achọ onye akaebe ọzọ? Anyị ejirila ntị
anyị nụrụ ya site n’ọnụ ya.”

# 23

*Jisọs n’ihu Pailet*

1 Mgbe ahụ, ọha mmadụ ahụ niile biliri duru ya gakwuru Pailet. 2 Ha malitere
ibo ya ebubo na-asị, “Anyị chọpụtara na nwoke a na-eduhie ndị obodo anyị niile,
na-egbochikwa ha ịtụ ụtụ isi nye Siza, ma na-ekwukwa na ya bụ Kraịst, Eze.”
3 Ya mere Pailet jụrụ ya sị, “Ị bụ eze ndị Juu?”
Ọ zara ya sị, “Gị onwe gị kwuru otu a.”
4 Mgbe ahụ Pailet gwara ndịisi nchụaja na igwe mmadụ ahụ, “O nweghị ihe ọjọọ
ọbụla m chọpụtara nwoke a mere.”
5 Ma ha gara n’ihu na-asị, “Ọ na-akpasu ọgbaaghara n’ala ndị Judịa niile site n’ozizi
ya. Ọ malitere na Galili, ọ bịakwala ebe a ugbu a.”

*Jisọs n’ihu Herọd*

6 Mgbe Pailet nụrụ nke a, ọ jụrụ ma nwoke a ọ bụ onye Galili? 7 Mgbe ọ matara na o
si n’ebe Herọd na-achị, o nyere iwu ka e dugara ya Herọd, onye nọkwa na Jerusalem
mgbe ahụ.

[8] Obi tọrọ Herọd ụtọ nke ukwuu, mgbe ọ hụrụ Jisọs n'ihi na ọ nọ na-achọ ịhụ
ya anya n'oge dị anya gara aga. Sitekwa n'akụkọ ọ nụrụ banyere ya, o lere anya
na ọ ga-arụ ọrụ ebube ụfọdụ. [9] Ya mere ọ jụrụ ya ọtụtụ ajụjụ, ma ọ zaghị ya ihe
ọbụla. [10] Ndịisi nchụaja na ndị ozizi iwu guzo n'ebe ahụ gara n'ihu bosie ya ebubo
ike. [11] Emesịa, Herọd na ndị agha ya jiri ya mee ihe ọchị, ma kwaakwa ya emo. Ha
yikwasịrị ya uwe mwụda mara mma ma zighachikwara ya Pailet. [12] N'ụbọchị ahụ
ka Herọd na Pailet ghọrọ enyi, maka n'oge gara aga ha bụ ndị iro.
[13] Pailet kpọkọtara ndịisi nchụaja, na ndị ndu, na ndị mmadụ ndị ọzọ [14] sị ha,
"Unu kpọtaara m nwoke a dị ka otu onye n'ime ndị na-akpali ndị mmadụ inupu isi.
Ajụọla m ya ajụjụ n'ihu unu ma achọpụtaghị m ihe ọbụla nke unu kwesiri iji boo
ya ebubo. [15] Ọ bụladị Herọd achọpụtaghị ihe ọjọọ ọbụla n'aka ya, nke a mere o jiri
kpụghachitere anyị ya. Leenụ, o nweghị ihe ọbụla o mere e kwesiri iji maa ya ikpe
ọnwụ. [16] Ya mere aga m apịa ya ihe hapụ ya ka ọ laa." [17] Ma ọ dị mkpa na a ga-ahapụ
otu onye mkpọrọ n'oge mmemme.*
[18] Ma igwe mmadụ ahụ tiri mkpu n'otu olu sị, "Gbuo nwoke a, hapụrụ anyị
Barabas." [19] (Onye a tụbara n'ụlọ mkpọrọ n'ihi ọgbaaghara dapụtara n'obodo ahụ,
nakwa n'ihi igbu mmadụ.)
[20] Dị ka ọ gbalịsịrị ike ịhapụ Jisọs, Pailet gwakwara ha okwu ọzọ. [21] Ma ha niile
tiri mkpu sị, "Kpọgide ya n'obe! Kpọgide ya n'obe!"
[22] Ọ sịrị ha na nke ugboro atọ, "Ọ bụ n'ihi gịnị? Olee ihe ọjọọ nwoke a mere? O
nweghị ihe ọbụla m chọpụtara n'aka ya kwesiri iwetara ya ọnwụ. Ya mere aga m
ata ya ahụhụ, hapụ ya."
[23] Ma ha nọgidere na-eti mkpu n'oke olu ka a kpọgide ya n'obe, n'ikpeazụ olu
iti mkpu ha karịrị. [24] Ya mere Pailet kpebiri imere ha ihe ha chọrọ. [25] Ọ hapụrụ
nwoke ahụ ha chọrọ nke a tụbara n'ụlọ mkpọrọ n'ihi ọgbaaghara na igbu mmadụ,
ma nyefee ha Jisọs n'aka.

### *Mkpọgide Jisọs n'obe*

[26] Dị ka ha duu ya na-aga, ha jidere Saimọn onye Sirini bụ onye si n'ime otu obodo
nta na-alọbata; ha boro ya obe ahụ, manye ya ka o buru ya na-eso Jisọs na-azụ.
[27] Igwe mmadụ dị ukwuu soro ya tinyekwara ụmụ nwanyị bụ ndị tiri mkpu akwa
ma ruokwara ya ụjụ. [28] Ma Jisọs tụgharịrị sị ha, "Ụmụada Jerusalem, unu eberela
m akwa, kama beerenụ onwe unu na ụmụ unu. [29] N'ihi na oge na-abịa mgbe unu
ga-asị, 'Ngọzị na-adịrị ụmụ nwanyị aga, akpanwa ndị na-amụghị nwa, na ara ndị
na-enweghị onye ṅụrụ ha.' [30] Mgbe ahụ,
" 'ha ga-asị, ugwu ukwu niile, "Dakwasị anyị!"†
Sịkwa, ugwu nta, "Kpuchite anyị!" '
[31] Ya mere, ọ bụrụ na ha mee ọhịa otu a mgbe ahịhịa dị ndụ dị na ya, gịnị ga-
emekwanụ mgbe ọ kpọrọ nkụ?"
[32] Ha dukwaara mmadụ abụọ bụ ndị ohi gaa igbu ha na ya. [33] Mgbe ha bịarutere
n'ebe a na-akpọ Okpokoro Isi, ebe ahụ ka ha kpọgidere ya n'obe ya na ndị ohi abụọ
ahụ. Otu n'aka nri ya nke ọzọ n'aka ekpe ya. [34] Jisọs sịrị, "Nna gbaghara ha n'ihi na
ha amataghị ihe ha na-eme." Ha ji ife nza kee uwe ya n'etiti onwe ha.
[35] Ndị mmadụ guzoro ebe ahụ na-ele anya, ka ndị ọchịchị ji ya na-eme ihe ọchị,
na-asị, "Ọ zọpụtara ndị ọzọ, ya zọpụtanụ onwe ya, ma ọ bụrụ na ọ bụ Kraịst nke
Chineke, bụ Onye a họpụtara."
[36] Ndị agha bịakwara chịa ya ọchị. Ha nyere ya mmanya gbara ụka,‡ [37] ma na-asị,
"Ọ bụrụ na ị bụ eze ndị Juu, zọpụtanụ onwe gị."

---

* **23:17** 23:17 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye okwu ndị a dịka ọ dị n'akwụkwọ Mat 27:15 na Mak 15:6. † **23:30** 23:30 Hos 10:8 ‡ **23:36** 23:36 Mat 27:48

[38] Ihe e dere n’elu isi obe ahụ bụ:
Onye a bụ Eze ndị Juu.
[39] Otu onye n’ime ndị ohi ahụ a kpọgidekwara n’obe n’ebe ahụ kparịkwara ya sị,
“Ọ bụghị gị bụ Kraịst? Zọpụtanụ onwe gị ma zọpụtakwa anyị.”
[40] Ma onye nke ọzọ a makwara ikpe ọnwụ baara ya mba sị, “Ị naghị atụ Chineke
egwu, ị hụghị na a mara gị ikpe dị ka e si maa ya. [41] Anyị na-ata ahụhụ kwesiri anyị,
n’ihi na a na-ata anyị ahụhụ n’ihi ihe anyị mere, ma nwoke a emeghị ihe ọjọọ ọbụla.”
[42] Mgbe ahụ ọ sịrị, “Jisọs, chetakwa m mgbe ị bara n’alaeze gị.”
[43] Ọ sịrị ya, “N’ezie a agwa m gị, taa, ị ga-anọnyere m na paradaịs.”

### *Ọnwụ Jisọs*

[44] Mgbe ọ na-eru ihe dị ka elekere iri na abụọ nke ehihie, ọchịchịrị gbachikọtara
n’ala ahụ niile ruo elekere atọ nke ehihie. [45] N’ihi na anyanwụ kwụsịrị inye ihe ya.
Akwa mgbochi dị n’ụlọnsọ ukwu sitere n’elu gbawaa abụọ. [46] Jisọs tiri mkpu n’oke
olu sị, “Nna, n’aka gị ka m na-enyefe mmụọ m.” Mgbe o kwusiri nke a, o kubiri ume.
[47] Mgbe ọchịagha na-achị otu narị ndị agha hụrụ ihe merenụ, o nyere Chineke
otuto ma kwuokwa sị, “N’ezie nwoke a bụ onye ezi omume.”§ [48] Mgbe igwe mmadụ
niile gbakọtara ilere anya hụrụ ihe mere, ha laghachiri n’ụlọ ha na-eti aka n’obi.
[49] Ma ndị niile maara onye ọ bụ, tinyekwara ụmụ nwanyị ndị soro ya si Galili bịa,
guzokwara n’ebe dị anya na-ele ihe ndị a.

### *Olili Jisọs*

[50] O nwere otu nwoke aha ya bụ Josef, onye so n’otu ndịisi ụlọ nzukọ. Ọ bụ ezigbo
mmadụ na onye aka ya kwụ ọtọ. [51] Ọ kwadoghị mkpebi ha na omume ha. Onye sitere
Arimatia, n’otu obodo ndị Juu, onye na-echere ọbịbịa nke alaeze Chineke. [52] Nwoke
a gakwuru Pailet rịọ ka e bunye ya ahụ Jisọs.* [53] Ya mere, o budatara ya fụchie
ya n’akwa ọcha linin, tinye ya n’ili e gwuru n’ọgba nkume, nke a na-etinyebeghị
mmadụ na mbụ. [54] Ọ bụ Ụbọchị Nkwadebe maka ụbọchị izuike nke na-abịa nso.†
[55] Ndị nwanyị ahụ sitere Galili soro ya hụrụ ili ahụ, hụkwa otu e si nibe ahụ ya
n’ime ya. [56] Emesịa ha laghachiri ga kwadoo mmanụ otite nke e tinyere ọtụtụ ụda.
N’ụbọchị izuike ha zukwara ike dịka ọ dị n’iwu.‡

## 24

### *Mbilite n’ọnwụ*

[1] N’ụbọchị mbụ nke izu ụka, n’ezigbo isi ụtụtụ, ha weere mmanụ otite ahụ ha
tinyere ọtụtụ ụda nke ha kwadoro gawa n’ili ahụ. [2] Ha chọpụtara na e nupụla
nkume e ji dochie n’ọnụ ili ahụ. [3] Ma mgbe ha banyere n’ime ya, ha ahụghị ahụ
Onyenwe anyị Jisọs. [4] Dị ka ha nọ na mgbagwoju anya banyere nke a, n’otu ntabi
anya, ha hụrụ mmadụ abụọ yi uwe na-egbu ka amụma guzo ha nso. [5] Ha kpudoro
ihu ha n’ala n’ihi oke egwu, ma mmadụ abụọ ahụ gwara ha, “Gịnị mere unu ji na-
achọ onye dị ndụ n’etiti ndị nwụrụ anwụ? [6] Ọ nọkwaghị n’ebe a, o biliela n’ọnwụ,
chetakwanụ ihe ọ gwara unu mgbe unu na ya nọ na Galili sị, [7] ‘A ghaghị inyefe Nwa
nke Mmadụ n’aka ndị mmehie, a ga-akpọgidekwa ya n’obe ma n’ụbọchị nke atọ ọ
ga-esi n’ọnwụ bilie.’ ” [8] Mgbe ahụ ha chetara okwu ya.
[9] Mgbe ha sitere n’ili ahụ lọghachi, ha kọọrọ mmadụ iri na otu ahụ na ndị ọzọ niile
ihe ndị a. [10] Ọ bụ Meri Magdalin, na Joana, na Meri nne Jemis na ụmụ nwanyị ndị
ọzọ so ha kọọrọ ndị na-eso ụzọ ya ihe a. [11] Ma ha ekweghị ihe ha gwara ha, n’ihi na

§ **23:47** 23:47 Maọbụ, onye aka ya dị ọcha * **23:52** 23:52 Jọn onye Arimatia bụ onye na-eso Jisọs na nzuzo Jọn 19:38. † **23:54** 23:54 Ndị na-edebe ụbọchị izuike n’ala anyị, na-akwadobe ihe ha niile nke ọma n’ụbọchị fụraịdee, n’ihi na ụbọchị izuike na-ebido n’oge ọdịda anyanwụ n’ụbọchị ahụ. ‡ **23:56** 23:56 Ọpụ 35:2 na Lev 23:3 nakwa Dit 5:14

okwu ha dị ha ka ọ bụ ihe efu. 12 Ma otu ọ dị, Pita gbaara ọsọ ruo n’ili ahụ, hulata
ala hụ ka akwa ozu ndị ahụ tọgbọọrọ onwe ha; ọ lara na-atụgharị uche n’ime onwe
ya ihe ihe ndị a pụtara.

*N’ụzọ Emaus*

13 N’otu ụbọchị ahụ, mmadụ abụọ n’ime ha gaje n’obodo nta a na-akpọ Emaus, nke
dị ihe ruru kilomita iri na abụọ site na Jerusalem. 14 Ha na-ekwurịta n’etiti onwe ha
banyere ihe niile mere. 15 Dị ka ha na-ekwu na-akparịta ụka banyere ihe ndị a, Jisọs
n’onwe ya bịara soro ha na-aga ije. 16 Ma e mechiri anya ha ịmata na ọ bụ ya.
17 Ọ sịrị ha, “Gịnị ka unu na-ekwurịta n’etiti onwe unu dị ka unu na-aga n’ụzọ.”
Ha kwụsịrị ebe ahụ, gbarụọ ihu ha. 18 Otu onye n’ime ha a na-akpọ Kleopas, sịrị
ya, “Ị bụ onye ọbịa na Jerusalem nke mere na ị maghị ihe mere n’ime ya n’ụbọchị
ndị a?”
19 Ọ sịrị ha, “Gịnị bụ ihe mere?”
Ha sịrị ya, “Banyere Jisọs onye Nazaret! Ọ bụ onye amụma bụrụkwa onye dị ike,
ma n’okwu ma n’omume n’ihu Chineke na mmadụ niile. 20 Na otu ndịisi nchụaja
na ndị ọchịchị anyị nyefere ya ka a maa ya ikpe ọnwụ, ma kpọgbukwaa ya n’obe.
21 Anyị nwererịị olileanya na ọ bụ ya ga-agbapụta Izrel. Nke ka nke, taa mere ya
abalị atọ kemgbe ihe ndị a mere. 22 Tụkwasị ihe ndị a, ụfọdụ ụmụ nwanyị anyị mere
ka anyị nwee ihe ịtụnanya. Ha gara n’ili ahụ n’isi ụtụtụ a. 23 Ma ha ahụghị ahụ ya.
Ha bịara kọrọ anyị na ha hụrụ ọhụ nke ndị mmụọ ozi, bụ ndị gwara ha na ọ dị ndụ.
24 Ya mere ụfọdụ n’ime ndị otu anyị gara n’ili ahụ chọpụta na ihe niile ụmụ nwanyị
a kwuru mere otu ahụ ha siri kwuo ya. Ma ha ahụkwaghị ya.”
25 Ọ sịrị ha, “Unu bụ nnọọ ndị nzuzu![*]Leenụ ka o si siere unu ike ikwere ihe niile
ndị amụma kwuru. 26 Ọ bụ na o kwesighị ka Kraịst taa ahụhụ ndị a tupu ọ banye
n’ebube ya?” 27 Ya mere, ọ kọwaara ha ihe e dere n’akwụkwọ nsọ banyere ya onwe
ya malite na nke Mosis ruo na ndị amụma niile.
28 Mgbe ha na-eru obodo nta ahụ ha na-aga, o mere dị ka ọ na-aga n’ihu na njem
ya. 29 Ma ha rịọ ya n’ebe ọ dị ukwuu sị, “Nọnyerenụ anyị n’ihi na chi ebidola iji,
ụbọchị agamiekwala ugbu a.” N’ihi ya ọ banyere ịga nọnyere ha.
30 Mgbe ya na ha nọdụrụ na tebul iri nri, o were achịcha, kelee Chineke ekele,
nyawaa ya were ya nye ha. 31 Mgbe ahụ, e meghere anya ha, ha amata onye ọ bụ,
ha ahụkwaghị ya anya ọzọ. 32 Mgbe ahụ, ha gwara onwe ha sị, “Ọ bụ na ọ dịghị ka
ọkụ ọ na-enwu n’obi anyị mgbe anyị na ya nọ n’ụzọ, ya na-ekpughere anyị akwụkwọ
nsọ?”
33 Ha biliri ngwangwa laghachi Jerusalem. Ebe ahụ, ha hụrụ mmadụ iri na otu
ahụ na ndị so ha ka ha nọkọtara n’otu ebe, 34 na-asị, “Ọ bụ eziokwu, Onyenwe anyị
ebiliela, o gosila Saimọn onwe ya.” 35 Mgbe ahụ, ha kọọrọ ha ihe mere n’ụzọ, ya na
otu ha siri mata ya mgbe ọ nyawara achịcha.

*Jisọs egosi ndị na-eso ụzọ ya onwe ya*

36 Mgbe ha ka na-ekwu banyere nke a, ya onwe ya guzooro n’etiti ha sị ha, “Udo
dịrị unu.”
37 Oke egwu tụrụ ha, obi lọkwara ha mmiri n’ihi na ha chere na ha ahụla mmụọ.
38 Ma ọ sịrị ha, “Gịnị mere ụjọ ji atụ unu, gịnị mere unu ji nwee obi abụọ? 39 Leenụ
m anya n’aka na n’ụkwụ. Ọ bụ mụ onwe m! Metụnụ m aka ka unu hụrụ, n’ihi na
mmụọ adịghị enwe anụ ahụ na ọkpụkpụ dị ka unu hụrụ m nwere.”
40 Mgbe o kwuchara nke a, o gosiri ha aka ya na ụkwụ ya. 41 Ma dị ka o siiri ha ike
ikwere n’ihi ọṅụ na oke mgbagwoju anya, ọ sịrị ha, “Ọ dị ihe oriri unu nwere ebe a?”
42 Ha nyere ya otu ntakịrị azụ a mịkpọrọ amịkpọ. 43 Ma ọ naara ya rie ya n’ihu ha.

---
[*] **24:25** 24:25 Ya bụ, ndị na-enweghị uche

44 Mgbe ahụ, ọ sịrị ha, “Okwu ndị a ka m gwara unu mgbe mụ na unu nọ, na ihe
niile e dere n’iwu Mosis na ndị Amụma na n’Abụ Ọma banyere m ga-emezucha.”
45 Mgbe ahụ, o meghere akọnuche ha ka ha ghọta akwụkwọ nsọ. 46 Ọ sịrị ha,
“Nke a bụ ihe e dere na, Kraịst ahụ ga-ahụ ahụhụ ma sitekwa n’ọnwụ bilie† n’ụbọchị
nke atọ. 47 Na a ga-ekwusa nchegharị na mgbaghara mmehie site n’aha ya nye mba
niile, malite na Jerusalem. 48 Unu bụ ndị akaebe nke ihe ndị a. 49 Ma lee, agaje m
izitere unu ihe ahụ Nna m kwere na nkwa. Ya mere, nọrọnụ n’ime obodo ruo mgbe
a ga-eyikwasị unu ike nke si n’elu.”

*Jisọs agbagoro n’eluigwe*

50 O duuru ha garuo na Betani, chilie aka ya abụọ elu gọzie ha. 51 Dị ka ọ na-agọzi
ha, ọ sitere n’ebe ha nọ pụọ, e weliri ya elu, baa n’eluigwe. 52 Mgbe ahụ, ha fere ya
ofufe jiri oke ọṅụ laghachi na Jerusalem. 53 Ha nọgidere n’ụlọnsọ ukwu ahụ na-eto
Chineke oge niile.

† **24:46** 24:46 Mbilite n’ọnwụ Kraịst bụ ihe e mere ka ọ dị ire site n’ike Chineke Ọrụ 2:45; Rom 8:11 Ọ bụkwa mbilite n’ọnwụ ya nyere ọha mmadụ napụta site n’ikpe ọmụma nke mmehie na-eweta, Rom 4:25; 8:34.

# Oziọma Jọn

*Okwu ghọrọ mmadụ*

[1] Na mbụ okwu ahụ dịrịị, okwu ahụ na Chineke nọ, okwu ahụ bụkwa Chineke. [2] Ya
na Chineke nọ site na mbụ. [3] E sitere na ya kee ihe niile, ọ dịghịkwa ihe ọbụla e
kere eke nke a na-ekeghị site na ya. [4] N'ime ya ka ndụ dịrịị, ndụ ahụ bụkwa ìhè nye
mmadụ niile, [5] ìhè ahụ na-enwu n'ime ọchịchịrị, ma ọchịchịrị ahụ emenyụghị ya.
[6] Ọ dị otu nwoke Chineke zitere, aha ya bụ Jọn. [7] Ọ bịara dị ka onye akaebe ịgba
ama banyere ìhè ahụ, ka mmadụ niile site n'aka ya kwere. [8] Ya onwe ya abụghị ìhè
ahụ, ọ bịara naanị ịgba akaebe banyere ìhè ahụ.
[9] Ezi ìhè ahụ nke na-enye mmadụ ọbụla ìhè na-abịa n'ime ụwa. [10] Ọ bịara n'ụwa,
ma ụwa bụ ihe e kere site n'aka ya, ma ụwa amataghị onye ọ bụ. [11] Ọ bịakwutere
ihe ndị ahụ bụ ndị nke ya, ma ndị ahụ bụ ndị nke ya anabataghị ya. [12] Ma ndị ahụ
niile nabatara ya, ndị ahụ niile kweere n'aha ya ka o nyere ike ịghọ ụmụ Chineke.
[13] Ụmụ a na-amụghị site n'ọbara, maọbụ site na mkpebi nke anụ ahụ, ma ọ bụkwanụ
mkpebi nke mmadụ, kama site na Chineke.
[14] Okwu ahụ ghọrọ anụ ahụ* birikwa n'etiti anyị. Anyị ahụla ebube ya, ebube
nke onye naanị ya bụ Ọkpara Nna mụrụ, onye si n'ebe Nna nọ bịa, onye jupụtara
n'amara na eziokwu.
[15] Jọn gbara ama banyere ya mgbe ọ na-eti mkpu na-asị, "Onye a bụ onye ahụ
m kwuru banyere ya, 'Onye na-abịa m n'azụ dị ukwuu karịa m, n'ihi na o bukwa
m ụzọ dịrị.' " [16] Site n'ịba ụba nke amara ya, anyị niile anatala amara a tụkwasịrị
n'amara. [17] N'ihi na e nyere iwu site n'aka Mosis, ma amara na eziokwu bịara site
n'aka Jisọs Kraịst. [18] Ọ dịbeghị onye ọbụla hụrụla Chineke, ma Chineke, onye naanị
ya bụ Ọkpara Nna mụrụ. Onye ya na Nna dị na mma, emeela ka anyị mata ya.

*Jọn ekwupụta na ya abụghị Kraịst*

[19] Nke a bụ ịgba ama Jọn mgbe ndị ndu ndị Juu nọ na Jerusalem zipụrụ ndị nchụaja
na ndị Livayị ka ha bịa jụọ ya onye ọ bụ? [20] O mechighị ọnụ ya, kama o kwupụtara
sị, "Abụghị m Kraịst ahụ."
[21] Mgbe ahụ ha jụrụ ya sị, "Ị bụkwanụ onye? Ị bụ Ịlaịja?"
Ọ zara sị ha, "Abụghị m ya."
"Ị bụ Onye amụma ahụ?"
"Mba."
[22] Ha sịrị ya, "Ị bụ onye? Nye anyị ọsịsa anyị ga-eweghachiri ndị zitere anyị. Gịnị
ka i kwuru banyere onwe gị?"
[23] Ọ sịrị, dịka Aịzaya onye amụma kwuru, "Abụ m onye na-eti mkpu n'ime ọzara,
'Meenụ ka ụzọ Onyenwe anyị guzozie.' "†
[24] Ma ndị Farisii ahụ ezitere [25] jụrụ ya, sị, "Gịnị mere i ji na-eme baptizim ọ bụrụ
na ị bụghị Kraịst maọbụ Ịlaịja, maọbụ onye amụma ahụ?"
[26] Jọn zara ha sị, "Eji m mmiri na-eme baptizim, ma ọ dị otu onye nọ n'etiti unu
nke unu na-amaghị. [27] Onye ahụ nke na-abịa n'azụ m, onye m na-erughị ịtọpụ eriri
akpụkpọụkwụ ya."
[28] Ihe a mere na Betani n'ofe osimiri Jọdan bụ ebe Jọn nọ na-eme baptizim.

*Nwa atụrụ Chineke*

* **1:14** 1:14 Maọbụ, mmadụ † **1:23** 1:23 Aịz 40:3

29 N'echi ya, ọ hụrụ ka Jisọs na-abịakwute ya sị, "Leekwa, Nwa Atụrụ Chineke,
onye na-ebupụ mmehie ụwa. 30 Ọ bụ onye a ka m kwuru okwu ya mgbe ahụ m sịrị,
'otu nwoke na-abịa n'azụ m, onye dị ukwuu karịa m, n'ihi na o bukwa m ụzọ dịrị.'
31 Mụ onwe m amataghị ya, ma a bịara m were mmiri na-eme baptizim n'ihi nke a,
ka e kpughee ya nye ndị Izrel."
32 Mgbe ahụ Jọn gbara ama a sị, "Ahụrụ m ka Mmụọ Nsọ sitere n'eluigwe rịdata
dị ka nduru, nọkwasị ya. 33 Mụ onwe m amabughị ya, ma onye ahụ zitere m ka m
jiri mmiri mee baptizim kwuru, 'Onye ahụ ị ga-ahụ, onye Mmụọ Nsọ ga-ebekwasị,
ma nọgidekwa, ọ bụ ya ga-eji Mmụọ Nsọ mee baptizim.' 34 Mụ onwe m ahụla ya,
na-agbakwa ama na onye a bụ Ọkpara Chineke."‡

### *Ndị mbụ soro Kraịst*

35 N'echi ya, Jọn na mmadụ abụọ ndị na-eso ụzọ ya guzoro n'ebe ahụ ọzọ. 36 Mgbe
ọ hụrụ Jisọs ka ọ na-agafe, ọ sịrị, "Leenụ, Nwa Atụrụ Chineke."
37 Mgbe mmadụ abụọ ahụ na-eso ụzọ ya nụrụ nke a, ha tụgharịrị soro Jisọs. 38 Mgbe
Jisọs tụgharịrị hụ ka ha na-eso ya, ọ sịrị ha, "Gịnị ka unu chọrọ?"
Ha sịrị ya, "Rabbi"§ (nke pụtara "Onye ozizi"), "olee ebe i bi?"
39 Ọ sịrị ha, "Bịanụ, unu ga-ahụ."
Ha sooro ya ga hụ ebe ọ na-anọ. Ha nọnyekwara ya ụbọchị ahụ niile. Ọ bụ n'ihe
dị ka elekere anọ nke mgbede.
40 Otu n'ime mmadụ abụọ ahụ nụrụ ihe Jọn kwuru, nke sooro ya bụ Andru nwanne
Saimọn Pita. 41 Ihe mbụ o mere bụ ịchọta Saimọn nwanne ya sị ya, "Anyị achọtala
Mezaya ahụ" (onye a na-akpọkwa Kraịst). 42 Ọ kpọtaara ya Jisọs.
O lere ya anya sị, "Ị bụ Saimọn nwa Jọn. A ga-akpọ gị Sefas" (nke nsụgharị ya,
pụtara Pita*).

### *Jisọs akpọọ Filip na Nataniel*

43 N'echi ya, o kpebiri ịga Galili. Mgbe ọ hụrụ Filip, ọ sịrị ya, "Soro m."
44 Filip bụ onye obodo Betsaida dị ka Andru na Pita. 45 Filip chọtara Nataniel sị
ya, "Anyị achọtala onye ahụ Mosis dere banyere ya n'iwu, onye ndị amụma dekwara
banyere ya, Jisọs onye Nazaret, nwa Josef."
46 Nataniel sịrị ya, "Ihe ọma ọbụla ọ pụrụ i si na Nazaret pụta?"
Ma Filip sịrị ya, "Bịa ka ị hụrụ."
47 Mgbe Jisọs hụrụ ka Nataniel na-abịaru ya nso, o kwuru sị, "Leenụ ezi nwa afọ
Izrel onye aghụghọ na-adịghị n'ime ya."
48 Nataniel sịrị ya, "Olee otu i si mata onye m bụ?"
Jisọs sịrị ya, "Tupu Filip akpọ gị, ahụlarị m gị ka ị nọ n'okpuru osisi fiig."
49 Mgbe ahụ, Nataniel zaghachiri, "Onye ozizi, ị bụ Ọkpara Chineke; ị bụ eze Izrel."
50 Jisọs zara sị ya, "I kwere n'ihi na agwara m gị na ahụrụ m gị n'okpuru osisi fiig?
Ị ga-ahụ ihe dị ukwuu karịa nke a." 51 Ọ sịkwara ya, "N'ezie, n'ezie agwa m unu, unu
ga-ahụ eluigwe ka o meghere hụkwa ndị mmụọ ozi Chineke ka ha na-arịgokwuru,
ma na-arịdakwuru Nwa nke Mmadụ."

## 2

### *Jisọs emee mmiri ya aghọọ mmanya*

1 N'ụbọchị nke atọ, o nwere mmemme agbamakwụkwọ na Kena nke Galili, nne
Jisọs bịakwara ebe ahụ. 2 A kpọkwara Jisọs na ndị na-eso ụzọ ya oku na mmemme

‡ **1:34** 1:34 Onye Chineke họọrọ. § **1:38** 1:38 Ụfọdụ na-akpọkwa mkpụrụ okwu a, Rabaị. * **1:42** 1:42 Sefas bụ asụsụ Hibru, ebe Pita bụ asụsụ Griik, ma ha abụọ pụtara otu ihe okwute.

agbamakwụkwọ a. [3] Mgbe mmanya ha gwụrụ, nne Jisọs sịrị ya, “Ha enweghị
mmanya.”
[4] Jisọs sịrị ya, “Nwanyị, gịnị gbasara mụ na gị na nke a? Oge awa m erubeghị.”
[5] Nne ya gwara ndị na-eje ozi, “Ihe ọbụla ọ gwara unu, meenụ ya.”
[6] A dọbara ite mmiri nkume isii buru ibu n’akụkụ ebe ahụ, nke a na-eji agbanye
mmiri ndị Juu na-eji asachasị onwe ha ma ha chọọ ikpe ekpere. Otu n’ime ha na-eri
ihe dị ka galọọnụ iri abụọ ma ihe ruru iri atọ.*
[7] Jisọs gwara ha, “Gbajuonụ ite ndị a mmiri.” Ya mere, ha gbajupụtara ha mmiri.
[8] Mgbe ahụ, ọ gwara ha, “Ugbu a, gbapụtanụ ụfọdụ bugara onyeisi oche.”
Ha mekwara nke a. [9] Mgbe ahụ onyeisi oche ahụ detụrụ mmiri ahụ e mere ka ọ
ghọọ mmanya ọnụ. Ọ mataghị ebe o siri pụta (ma ndị na-eje ozi, ndị kutere mmiri
ahụ matara), onyeisi oche ahụ kpọpụtara onye ahụ na-alụ nwunye ọhụrụ iche [10] sị
ya, “N’oge mmemme ọbụla, a na-ebu ụzọ buputa mmanya dị ụtọ, ma bupụtakwa nke
na-adịghị ụtọ n’ikpeazụ, mgbe ndị mmadụ ṅụjuchara afọ, ma i chebere mmanya dị
ụtọ buputa ya ugbu a.”
[11] Nke a bụ mmalite ihe ama Jisọs mere na Kena nke Galili, o sitere na nke a kpughee
ebube ya, ndị na-eso ụzọ ya kwenyekwara na ya.
[12] Mgbe nke a gasịrị, ọ gara Kapanọm, ya na nne ya na ụmụnne ya, nakwa ndị
na-eso ụzọ ya. Ha nọrọ ụbọchị ole na ole n’ebe ahụ.

### *Mmemme Ngabiga*

[13] Mgbe mmemme oriri Ngabiga nke ndị Juu na-abịaru nso, Jisọs gara Jerusalem.
[14] N’ime ụlọnsọ ukwu, ọ hụrụ ndị na-ere ehi, na atụrụ na nduru. Hụkwa ndị nọdụrụ
na tebul na-agbanwe ego. [15] Ya mere, o jiri eriri mere ụtarị chụpụsịa ndị niile nọ
na-ere ahịa n’ụlọnsọ ukwu ahụ, tinyekwara ehi na atụrụ ha. Ọ kwafusịrị mkpụrụ
ego ndị ahụ na-agbanwe ego, kpugharịakwa tebul ha ihu. [16] Ọ sịrị ndị ahụ na-ere
nduru, “Wepụnụ ihe ndị a n’ebe a. Kwụsịnụ ime ụlọ Nna m ka ọ bụrụ ebe a na-azụ
ahịa.” [17] Ndị na-eso ụzọ ya chetara na e dere ya rịị n’akwụkwọ nsọ, “Ihe banyere
ụlọ gị na-anụ m ọkụ n’obi.”†
[18] Ma ndị Juu sịrị ya, “Olee ihe ịrịbama ị pụrụ igosi anyị na ikike i ji eme ihe ndị
a.”
[19] Jisọs zara sị, “Kwatuonụ ụlọnsọ ukwu a, aga m ewughachikwa ya n’abalị atọ.”
[20] Ndị Juu kwuru, “Ụlọnsọ ukwu a were anyị iri afọ anọ na isii ịrụ ya, ị ga-ewughachi
ya n’abalị atọ?” [21] Ma ụlọnsọ o kwuru maka ya bụ ahụ ya. [22] Ndị na-eso ụzọ ya
chetara okwu ya a mgbe o siri n’ọnwụ bilie. Mgbe ahụkwa, ha kweere akwụkwọ nsọ
ya na okwu niile Jisọs kwuru.
[23] Mgbe ọ nọ na Jerusalem n’oge Mmemme Ngabiga, ọtụtụ mmadụ hụrụ ihe
ịrịbama o mere kweere na ya. [24] Ma Jisọs atụkwasịghị ha obi n’ihi na ọ matara
mmadụ niile nke ọma. [25] Ọ dịghị ya mkpa ka onye ọbụla gbaa akaebe banyere ụmụ
mmadụ, n’ihi na ya onwe ya maara ihe dị n’ime mmadụ.

# 3

### *Jisọs na Nikọdimọs*

[1] O nwere otu nwoke onyeisi ndị Juu nke so n’otu ndị Farisii aha ya bụ Nikọdimọs.
[2] Ọ bịakwutere ya n’abalị sị ya, “Onye ozizi, anyị maara na ị bụ onye ozizi sitere na
Chineke, n’ihi na o nweghị onye ọbụla pụrụ ịrụ ọrụ ebube dị otu a ma ọ bụrụ na
Chineke anọnyereghị ya.”

* **2:6** 2:6 Nke a bụ ihe dị ka lita iri asaa na ise maọbụ ihe ruru narị na iri ise. † **2:17** 2:17 Abụ 69:9

[3] Jisọs zara sị ya, “N'ezie, n'ezie agwa m unu, ọ bụrụ na amụghị mmadụ ọzọ, ọ
pụghị ịhụ alaeze Chineke anya.”
[4] Nikọdimọs sịrị ya, “Olee otu a ga-esi mụgharịa mmadụ mgbe o mere okenye? Ọ
ga-aba n'afọ nne ya nke ugboro abụọ?”
[5] Ma Jisọs sịrị, “N'ezie, n'ezie agwa m unu, ọ bụrụ na amụghị mmadụ site na
mmiri na Mmụọ Nsọ, o nweghị ike ịba n'alaeze Chineke. [6] Ihe e si n'anụ ahụ mụọ
bụ anụ ahụ, ma ihe a mụrụ site na Mmụọ bụ mmụọ. [7] Ya ejula gị anya na m sịrị gị,
‘Agaghị ịmụ unu ọzọ.’ [8] Ifufe na-efe n'ebe ọbụla masịrị ya. I nwere ike nụ ụzụ ya ma
ịmataghị ebe o si abịa maọbụ ebe ọ na-aga. Otu a ka ọ dịkwara onye ọbụla a mụrụ
site na Mmụọ.”
[9] Nikọdimọs zara sị ya, “Olee otu ihe ndị a ga-esi mee?”
[10] Jisọs zara sị ya, “Ị bụ onye ozizi ndị Izrel, ma ị ghọtaghị ihe ndị a? [11] N'ezie,
n'ezie agwa m unu. Anyị na-ekwu banyere ihe anyị maara, na-akọwapụtakwa ihe
anyị hụrụ, ma unu onwe unu adịghị anabata akaebe anyị. [12] Ekwuola m banyere
ihe dị n'ụwa ma unu ekweghị ya, oleekwanụ otu unu ga-esi kwere, ma ọ bụrụ na mụ
agwa unu banyere ihe ndị dị n'eluigwe? [13] O nwebeghị onye ọbụla rigooro n'eluigwe
ewezuga Nwa nke Mmadụ bụ onye siri n'eluigwe rịdata. [14] Dị ka Mosis weliri agwọ
elu n'ime ọzara, otu a ka a ga-ewelikwa Nwa nke Mmadụ elu. [15] Ka onye ọbụla kwere
na ya nwee ndụ ebighị ebi.”
[16] N'ihi na Chineke hụrụ ụwa n'anya, nke a mere o jiri nye Ọkpara ọ mụrụ naanị ya,
ka onye ọbụla kweere na ya ghara ịla n'iyi, kama ka o nwee ndụ ebighị ebi. [17] N'ihi
na Chineke eziteghị Ọkpara ya n'ụwa ka o maa ụwa ikpe, kama ka e site n'aka ya
zọpụta ụwa. [18] Ikpe amaghị onye ọbụla kwere na ya, ma onye ọbụla na-ekweghị
aghọọlarị onye ikpe mara, n'ihi na o kweghị n'aha Ọkpara Chineke mụrụ naanị ya.
[19] Nke a bụ mkpebi ikpe ahụ; na Ìhè abịala n'ụwa, ma ụmụ mmadụ hụrụ ọchịchịrị
n'anya kama ìhè ahụ, n'ihi na ọrụ ha jọrọ njọ. [20] N'ihi na onye ọbụla na-eme ihe
ọjọọ kpọrọ ìhè ahụ asị, ọ dịghị abịakwute ìhè ahụ, ka a ghara ime ka ọrụ ya pụta
ìhè. [21] Ma ndị na-ebi ndụ n'eziokwu na-abịakwute ìhè ahụ, ka e nwee ike hụta ya
nke ọma, na ihe niile ha na-eme sitere na ike Chineke.

### *Nkwupụta Jọn omee baptizim maka Jisọs*

[22] Emesịa, Jisọs na ndị na-eso ụzọ ya banyere n'ime obodo Judịa, ebe ọ nọtụrụ
nwa oge, meekwa baptizim. [23] N'otu aka ahụ, Jọn nọkwa n'ọnụ mmiri Enọn dị nso
na Salim na-eme baptizim n'ihi na mmiri buru ibu n'ebe ahụ, ndị mmadụ gakwara
n'ihu na-abịakwute ya, ọ na-emekwa ha baptizim. [24] E tinyebeghị Jọn n'ụlọ mkpọrọ
mgbe ahụ. [25] N'oge a, ịrụrịta ụka malitere n'etiti ndị na-eso ụzọ Jọn na otu onye Juu
banyere mmemme ịdị ọcha. [26] Ha bịakwutere Jọn sị ya, “Onye ozizi, onye ahụ ị gbara
ama banyere ya nọ n'ofe Jọdan na-eme baptizim, mmadụ niile na-agakwukwara ya.”
[27] Jọn zaghachiri sị, “Ihe mmadụ nwere ike ịnata bụ naanị ihe ahụ e nyere ya site
n'eluigwe. [28] Unu onwe unu ga-agbara m akaebe na m sịrị, na abụghị m Kraịst ahụ,
kama e zitere m ka m buru ụzọ bịa. [29] Nwanyị a na-alụ ọhụrụ bụ nke di ya. Enyi
onye na-alụ nwunye ọhụrụ na-eche ma na-egekwa ntị ịnụ olu ya, ọńụ na-ejupụtakwa
ya obi mgbe ọ nụrụ olu onye ahụ na-alụ nwunye ọhụrụ. Ya mere, ọńụ m e zuola oke
ugbu a. [30] Ọ ghaghị ịdị elu, ma mụ onwe m aghaghị ịdịkwa ala.
[31] “Onye ahụ si n'elu bịa dị elu karịa ihe niile, onye ahụ si n'ụwa bụkwa nke ụwa
ma na-ekwukwa okwu dị ka onye si n'ụwa. Onye ahụ si n'eluigwe dị elu karịa ihe
niile. [32] Ọ na-agba ama banyere ihe ọ hụrụ nakwa nke ọ nụrụ, ma o nweghị onye na-
anabata ama ya. [33] Onye ọbụla nabatara akaebe ya ji nke a mere akara, na Chineke
bụ eziokwu. [34] N'ihi na onye Chineke zitere na-ekwu okwu Chineke. N'ihi na ọ na-
enye Mmụọ ya n'uju. [35] Nna hụrụ Ọkpara ya n'anya, o tinyekwala ihe niile n'aka

ya. 36 Onye ọbụla kwere n'Ọkpara ahụ nwere ndụ ebighị ebi, ma onye ọbụla jụrụ
Ọkpara ahụ agaghị ahụ ndụ n'ihi na iwe Chineke ga-adịrị ya."

# 4

*Nwanyị Sameria*

1 Ugbu a, Jisọs matara na ndị Farisii anụla na ọ na-eme ka ọtụtụ mmadụ bụrụ ndị
na-eso ụzọ ya na-emekwa baptizim karịa Jọn. 2 Ma ọ bụkwaghị Jisọs na onwe ya
na-eme baptizim kama ọ bụ ndị na-eso ụzọ ya mere ha baptizim. 3 Ọ hapụrụ Judịa
laghachi azụ na Galili.
4 Ma ọ ga-esite n'etiti Sameria gafee. 5 Ya mere, ọ batara n'otu obodo nta dị na
Sameria a na-akpọ Saika, n'akụkụ ala ahụ Jekọb nyere Josef nwa ya nwoke. 6 Olulu
mmiri Jekọb dị n'ebe ahụ, ma ebe ọ bụ na ike gwụrụ Jisọs n'ije ya, ọ nọdụrụ ala
n'akụkụ olulu mmiri ahụ. Ọ bụ ihe dị ka oge ehihie.
7 Otu nwanyị onye Sameria* bịara ịdọrọ mmiri, Jisọs sịrị ya, "Nyetụ m mmiri ka
m ṅụọ." 8 (Ndị na-eso ụzọ ya abaala n'ime obodo ịga zụta nri.)
9 Nwanyị ahụ sịrị ya, "Olee otu gị bụ onye Juu si arịọ m bụ nwanyị Sameria mmiri
ka ị ṅụọ?" (N'ihi na ndị Juu na ndị Sameria anaghị emekọrịta ihe ọbụla.)
10 Jisọs zara sị, "Ọ bụrụ na ị matara onyinye Chineke, na onye ahụ na-arịọ gị mmiri,
ị gaara arịọ ya, ọ gakwara enye gị mmiri nke ndụ."
11 Nwanyị ahụ sịrị ya, "Nna anyị ukwu, o nweghị ihe ọbụla i ji ị ga-eji dọrọ mmiri,
olulu a dịkwa omimi. Oleekwanụ ebe ị ga-eweta mmiri ndụ a. 12 Ọ bụ na ị ka nna
nna anyị Jekọb ukwuu, onye gwuuru anyị olulu mmiri a? Ya onwe ya na ụmụ ya na
igwe ehi na atụrụ ya ṅụkwara mmiri sitere na ya?"
13 Jisọs zara sị, "Onye ọbụla ṅụrụ mmiri a, akpịrị ga-akpọ ya nkụ ọzọ. 14 Ma onye
ọbụla ga-aṅụ mmiri ahụ m nyere ya, akpịrị agaghị akpọkwa ya nkụ ọzọ. N'eziokwu,
mmiri ahụ m nyere ya ga-aghọrọ ya isi iyi nke na-asọpụtara ya ndụ ebighị ebi."
15 Mgbe ahụ nwanyị ahụ sịrị ya, "Onyenwe anyị nye m mmiri a, ka akpịrị ghara
ịkpọ m nkụ ọzọ, ka m gharakwa ịdị na-abịa ebe a ịdọrọ mmiri."
16 Ọ gwara ya sị, "Gaa kpọta di gị ma lọghachi."
17 Nwanyị ahụ zaghachiri ya sị, "Enweghị m dị."
Jisọs sịrị ya, "I kwuru eziokwu mgbe ị sịrị na i nweghị di. 18 I nweela di ise, ma
nwoke gị na ya bi ugbu a abụghị di gị. Ihe kwuru bụ nnọọ eziokwu."†
19 Nwanyị ahụ sịrị ya "Nna anyị ukwu, ahụrụ m na ị bụ onye amụma. 20 Nna nna
anyị ha fere ofufe n'ugwu a, ma unu na-ekwu n'ebe ndị mmadụ ga-eferịrị ofufe bụ
naanị na Jerusalem."
21 Jisọs sịrị ya, "Nwanyị kwere okwu m, oge na-abịa mgbe ị na-agaghị akpọ isiala
nye Nna, maọbụ n'ugwu a ma ọ bụkwanụ na Jerusalem. 22 Unu na-efe ihe unu na-
amaghị ma anyị na-efe ihe anyị matara, n'ihi na nzọpụta sitere n'aka ndị Juu. 23 Ma
oge na-abịa, ugbu a ọ bịala, mgbe ndị na-efe Nna ahụ n'eziokwu ga-efe ya n'ime
mmụọ na n'eziokwu. N'ihi na ọ bụ ndị dị otu a ka Nna chọrọ ka ha na-efe ya.
24 Chineke bụ mmụọ ndị niile na-efe ya ga-eferịrị ya n'ime mmụọ na eziokwu."
25 Nwanyị ahụ sịrị ya, "Amaara m na Mezaya" (onye a na-akpọ Kraịst) "na-abịa.
Mgbe ọ bịara, ọ ga-akọwaziri anyị ihe niile."
26 Jisọs sịrị ya, "Mụ, onye na-agwa gị okwu, abụ m ya."

*Ndị na-eso ụzọ ya lọghachikwutere ya*

---

* **4:7** 4:7 Ndị Sameria bụ ụmụ a mụtara site n'ọlụlụ di na nwunye dị n'etiti ụfọdụ ndị Juu ha na ndị Asịrịa.
† **4:18** 4:18 Omume a megidere iwu Chineke banyere ọlụlụ di na nwunye.

27 N’oge ahụ ndị na-eso ụzọ ya lọghachitara. Ọ gbagwojukwara ha anya nke ukwuu
ịhụ na ya na nwanyị na-ekwurịta okwu. Ma o nweghị onye n’ime ha jụrụ nwanyị ahụ
sị, “Gịnị ka ị chọrọ?” ma ọ bụkwanụ, “Gịnị kpatara gị na ya ji na-ekwurịta okwu?”
28 Mgbe ahụ, nwanyị ahụ hapụrụ ite mmiri ya laghachi n’ime obodo ga gwa ndị
mmadụ, 29 “Bịanụ lee otu nwoke onye gwara m ihe niile m merela. Ọ ga-abụ na ọ bụ
ya bụ Kraịst ahụ?” 30 Ha sitere n’obodo ahụ gbapụtasịa soro ụzọ ahụ, ka ha gakwuru
ya.
31 Ma otu ọ dị, ndị na-eso ụzọ ya rịọrọ ya sị, “Onye ozizi rienụ nri.”
32 Ma ọ sịrị ha, “Enwere m nri m na-eri nke unu na-amaghị maka ya.”
33 Mgbe ahụ ndị na-eso ụzọ ya sịrịtara onwe ha, “Ọ ga-abụ na o nwere onye butere
ya nri?”
34 Jisọs sịrị ha, “Nri m bụ ime uche onye ahụ zitere m nakwa ịrụcha ọrụ ya. 35 Unu
na-asị, ‘ọ fọdụghị ọnwa anọ ka ịghọ mkpụrụ n’ubi ruo?’ Ma ana m agwa unu,
megheenụ anya unu lee ubi ahụ, ha achaala maka ọghụghọ. 36 Ọ bụladị ugbu a,
onye na-aghọ mkpụrụ na-anata ụgwọ ọrụ, ọ na-achịkọta mkpụrụ ahụ maka ndụ
ebighị ebi, ka onye ghara mkpụrụ na onye ghọrọ ya nwee ike ịṅụrịkọta ọṅụ. 37 Ya
mere okwu ahụ nke na-asị, ‘Otu onye na-agha mkpụrụ, onye ọzọ na-aghọkwa ya bụ
eziokwu.’ 38 E zigara m unu ka unu gaa ghọta ihe unu na-arụghị ọrụ maka ya. Ndị
ọzọ rụrụ ọrụ a, ma unu ewe uru dị n’ọrụ ha.”

### *Ọtụtụ ndị Sameria e kwere*

39 Ọtụtụ ndị obodo Sameria kweere na ya n’ihi ama ahụ nwanyị ahụ gbara, “Ọ
gwara m ihe niile m mere.” 40 Ya mere mgbe ndị Sameria bịakwutere ya, ha rịọrọ ya
ka ọ nọnyetụrụ ha, ọ nọnyekwaara ha ụbọchị abụọ. 41 Ọtụtụ ndị ọzọ kwerekwara
na ya n’ihi okwu ya.
42 Ha gwara nwanyị ahụ, “Ihe anyị jiri kwere ugbu a abụghị ihe i kwuru, kama ọ
bụ n’ihi na anyị onwe anyị anụla olu ya, matakwa na onye a bụ Onye nzọpụta nke
ụwa n’eziokwu.”

### *Jisọs agwọọ nwa otu onyeisi*

43 Mgbe ụbọchị abụọ ahụ gasịrị, ọ hapụrụ ebe ahụ gawa Galili. 44 (Jisọs n’onwe ya
ekwuola na onye amụma anaghị enwe ugwu n’obodo ya.) 45 Mgbe ọ bịaruru Galili,
ndị Galili nabatara ya ebe ha onwe ha gara mmemme na Jerusalem, ma hụkwa ọtụtụ
ọrụ ebube ọ rụrụ n’oge mmemme ahụ.
46 Ọzọkwa, ọ bịaruru Kena nke Galili bụ ebe ahụ o mere mmiri ka ọ ghọọ mmanya.
E nwekwara otu onye na-arụ ọrụ n’ụlọeze nọ n’ebe ahụ, nke ahụ na-adịghị nwa ya
nwoke ike na Kapanọm. 47 Mgbe ọ nụrụ na Jisọs esitela na Judịa bịarute na Galili, o
jekwuuru ya rịọ ya ka ọ bịa gwọọ nwa ya, n’ihi na ọ nọ n’ọnụ ọnwụ.
48 Jisọs sịrị ya, “Ọ bụrụ na unu ahụghị ọrụ ebube na ihe ịrịbama, unu agaghị ekwe
ma ọlị.”
49 Onye a na-arụ ọrụ n’ụlọeze sịrị ya, “Nna m ukwu, biko bịa tupu nwa m a nwụọ.”
50 Jisọs sịrị ya, “Laa, nwa gị nwoke ga-adị ndụ.”
Nwoke ahụ kweere n’ihe Jisọs kwuru laa. 51 Mgbe ọ ka nọ n’ụzọ, ndị ohu ya zutere
ya kọọrọ ya na ahụ adịla nwa ya nwoke mma. 52 Mgbe ọ jụrụ ha oge nwa ya jiri
gbakee, ha sịrị ya, “Oke ahụ ọkụ ahụ kwụsịrị ya ụnyaahụ n’elekere mbụ nke ehihie.”
53 Nwoke ahụ ghọtara na ọ bụ kpomkwem n’oge awa ahụ Jisọs gwara ya, “Nwa gị
nwoke ga-adị ndụ.” Ya mere ya na ezinaụlọ ya niile kwenyere.
54 Nke a bụ ihe ịrịbama nke abụọ Jisọs rụrụ na Galili mgbe o siri Judịa bịa.

## 5

### *Ọgwụgwọ n’ọdọ mmiri Betsaida*

1 Mgbe nke a gasịrị, otu mmemme ndị Juu ruru, Jisọs agaa Jerusalem. 2 Ma otu
ọdọ mmiri nta dị n'ime Jerusalem n'akụkụ Ọnụ ụzọ ama Atụrụ. Aha ọdọ mmiri
ahụ n'asụsụ Hibru bụ Betsaida, nke nwere mgbe ọnụ ụzọ ise. 3 N'ime ya ka igwe
ndị ahụ na-esighị ike na-edina; ndị ìsì, ndị ngwụrọ, na ndị akụkụ ahụ ha kpọnwụrụ
akpọnwụ, ha na-eche mgbe mmiri ahụ ga-enugharị. 4 N'ihi na mmụọ ozi Onyenwe
anyị na-agbadata site na mgbe ruo na mgbe gbarụọ mmiri ahụ. Onye ọrịa ọbụla
buru ụzọ daba n'ime mmiri ahụ ma a gbarụọ ya, ka a na-agwọ ihe ọbụla bụ ọrịa ya.*
5 Otu nwoke nọ n'ebe ahụ bụ onye nọrọla n'ọrịa iri afọ atọ na asatọ. 6 Mgbe Jisọs
hụrụ ya, matakwa na ọ nọọla n'ọnọdụ a ogologo oge, ọ jụrụ ya sị, "Ị chọrọ ka a gwọọ
gị ọrịa?"
7 Onye ọrịa ahụ zara, "Nna m ukwu, enweghị m onye ọbụla ga-enyere m aka kuba
m n'ime ọdọ mmiri a ma a gbarụọ ya, mgbe o bụla m chọrọ ka m danye, onye ọzọ
na-eburu m ụzọ danye."
8 Jisọs gwara ya, "Bilie, chilie ute gị jegharịa." 9 N'otu oge ahụ, ahụ dịrị nwoke ahụ
mma, ọ chịlịri ute ya, malite ijegharị.
Ihe a mere n'ụbọchị izuike. 10 Ma ndị Juu gwara nwoke ahụ a gwọrọ ọrịa, "Taa bụ
ụbọchị izuike, o megidere iwu na ị ga-ebu ute gị."
11 Ma ọ zaghachiri ha, "Nwoke ahụ mere ka ahụ dị m mma sịrị m, 'Chilie ute gị
laa.' "
12 Ha jụrụ ya, "Onye bụ onye ahụ gwara gị ka ị chilie ya laa?"
13 Ma nwoke ahụ a gwọrọ amataghị onye ọ bụ n'ihi na Jisọs zoro onwe ya banye
n'etiti igwe mmadụ.
14 Emesịa, Jisọs hụrụ ya n'ime ụlọnsọ ukwu sị ya, "Lee, e mela ka ahụ dị gị mma,
emehiekwala ọzọ ka nke dị njọ karịa nke a hapụ ịbịakwasị gị." 15 Nwoke a siri n'ebe
ahụ pụọ gaa gwa ndị Juu na ọ bụ Jisọs gwọrọ ya.

### *Ndụ site n'ọkpara ahụ*

16 Ya mere, n'ihi na Jisọs na-eme ihe ndị a n'ụbọchị izuike, ndị Juu malitere isogbu
ya. 17 Jisọs sịrị ha, "Nna m na-arụ ọrụ mgbe niile ruo ugbu a, mụ onwe m kwa, ana
m arụ ọrụ." 18 N'ihi nke a, ndị Juu chọsịrị ike igbu ya. Ọ bụghị naanị na o mebiri
ụbọchị izuike, kama ọ na-akpọkwa Chineke Nna ya, sitekwa otu a na-eme ka ya na
Chineke hara.
19 Jisọs zara ha sị, "N'ezie, n'ezie agwa m unu, o nweghị ihe ọbụla Ọkpara pụrụ
ime n'onwe ya; naanị ihe o nwere ike ime bụ ihe ọ hụrụ Nna ya na-eme, n'ihi na ihe
ọbụla Nna ahụ na-eme ka Ọkpara ya na-emekwa. 20 N'ihi na Nna ahụ hụrụ Ọkpara
ya n'anya ma na-egosikwa ya ihe niile ọ na-eme. N'ezie ọ ga-agbagwoju unu anya
n'ihi na ọ ga-egosi ya ihe karịrị ndị a. 21 N'ihi na dị ka nna ahụ si akpọte ndị nwụrụ
anwụ na-enyekwa ha ndụ, otu ahụ ka Ọkpara ya si enye onye ọbụla ọ masịrị ya ndụ.
22 Nna anaghị ekpe onye ọbụla ikpe, kama o nyefere ikpe niile n'aka Ọkpara. 23 Ka
mmadụ niile nye Ọkpara ahụ nsọpụrụ dị ka ha na-asọpụrụ Nna ahụ. Onye ọbụla
nke na-adịghị asọpụrụ Ọkpara ahụ adịghị asọpụrụ Nna nke zitere ya.
24 "N'ezie, n'ezie agwa m unu, onye ọbụla na-anụ okwu m ma kwerekwa n'onye
zitere m nwere ndụ ebighị ebi, a gaghị amakwa ya ikpe, ọ gafeela site n'ọnwụ banye
na ndụ. 25 N'ezie, n'ezie agwa m unu, oge na-abịa, ọ bịakwala ugbu a mgbe ndị
nwụrụ anwụ ga-anụ olu Ọkpara Chineke, ndị ahụ nụrụ ya ga-adịkwa ndụ. 26 Dị ka
Nna ahụ nwere ndụ n'ime onwe ya, otu a ka o nyekwara Ọkpara ahụ ike inwe ndụ
n'ime onwe ya. 27 O nyekwala ya ikike ikpe ikpe n'ihi na ọ bụ Nwa nke Mmadụ.

* **5:4** 5:3,4 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye ụfọdụ ma ọ bụkwanụ amaokwu niile a, N'ime ya ka igwe ndị ahụ na-esighị ike na-edina; ndị ìsì, ndị ngwụrọ, na ndị akụkụ ahụ ha kpọnwụrụ akpọnwụ, ha na-eche mgbe mmiri ahụ ga-enugharị. Tinyere amaokwu nke anọ.

28 “Ka nke a hapụ iju unu anya, n’ihi na oge na-abịa, mgbe ndị niile nọ n’ili ha
ga-anụ olu ya 29 ma pụta, ndị mere ihe dị mma ga-ebili dịrị ndụ. Ma ndị mere ihe
ọjọọ ga-ebili bụrụ ndị a ga-ama ikpe. 30 Enweghị m ike ime ihe ọbụla n’onwe m, ikpe
m na-ekpe bụ naanị dị ka m nụrụ, ikpe m bụkwa nke ziri ezi, n’ihi na anaghị m eme
ihe ga-amasị m, kama ọ bụ ihe ga-amasị onye ahụ zitere m.

*Ọgbụgba ama maka Jisọs*

31 “Ọ bụrụ na m na-agba ama banyere onwe m, ama m abụghị eziokwu. 32 Enwere
m onye ọzọ na-agbara m ama, amatakwara m na ama ya banyere m bụ eziokwu.
33 “Unu zigaara Jọn ndị ozi, ọ gbakwaala ama maka eziokwu ahụ. 34 Ọ bụghị na m
na-anabata ama nke mmadụ, kama a na m ekwu ya ka enwe ike ịzọpụta unu. 35 Ọ
bụ oriọna nke na-enwu na-amụkekwa, unu họrọkwara ịṅụrị ọṅụ n’ìhè ya n’oge nta.
36 “Ma e nwere m ama dị ukwuu karịa nke Jọn, n’ihi na ọrụ ahụ ya bụ Nna nyere
m ka m rụchapụ, bụkwa nke m na-arụ, na-agbara m ama na ọ bụ Nna ahụ zitere m.
37 Ya bụ Nna ahụ zitere m na-agbakwa ama n’onwe ya banyere m. Unu anụbeghị olu
maọbụ hụ ụdịdị ya. 38 Okwu ya anọkwaghị n’ime unu n’ihi na unu ekweghị n’onye
o zitere. 39 Unu na-enyocha akwụkwọ nsọ n’ihi na unu chere na unu ga-esite na ha
nwee ndụ ebighị ebi maọbụ ha na-agba ama banyere m. 40 Ma unu jụrụ ịbịakwute
m ka unu nwee ndụ.
41 “Anaghị m anabata otuto nke ụmụ mmadụ. 42 Ma amatara m na unu enweghị
ịhụnanya Chineke n’obi unu. 43 Abịala m n’aha Nna m ma unu anabataghị m. Ma ọ
bụrụ na onye ọzọ abịa n’aha nke onwe ya, unu ga-anabata ya. 44 Olee otu unu ga-esi
kwere ebe unu na-anara otuto site n’aka ibe unu, ma unu adịghị achọ otuto nke si
n’aka onye naanị ya bụ Chineke?
45 “Unu echela na m ga-ebo unu ebubo n’ihu Nna ahụ. Onye ga-ebo unu ebubo bụ
Mosis, bụ onye unu tụkwasịrị obi na ya. 46 Ọ bụrụ na unu kwenyeere Mosis, unu
gakwara ekwere na m, n’ihi na o dere banyere m. 47 Ma ebe unu na-ekweghị n’ihe o
dere, olee otu unu ga-esi kwere n’ihe m kwuru?”

# 6

*Jisọs azụọ puku mmadụ ise*

1 Mgbe nke a gasịrị, Jisọs gafere n’ofe nke ọzọ nke osimiri Galili (nke a na-akpọkwa
osimiri Tiberịas). 2 Oke igwe mmadụ sooro ya, n’ihi na ha hụrụ ọrụ ebube ọ na-arụ
n’ahụ ndị ọrịa. 3 Jisọs rigooro n’elu ugwu nọdụ ala ya na ndị na-eso ụzọ ya. 4 N’oge
a, mmemme oriri Ngabiga ndị Juu na-abịa nso.
5 Mgbe Jisọs leliri anya elu hụ oke igwe mmadụ na-abịakwute ya, ọ sịrị Filip, “Olee
ebe anyị ga-azụta achịcha ndị a ga-ata?” 6 Ọ jụrụ nke a naanị iji nwalee ya, ya onwe
ya mararị ihe ọ ga-eme.
7 Filip zara ya, “Ụgwọ ọrụ ọnwa isii agaghị ezu ịzụta achịcha nke onye ọbụla n’ime
ha ga-atatụ naanị ihe ntakịrị.”
8 Onye ọzọ n’ime ndị na-eso ụzọ ya bụ Andru, nwanne Saimọn Pita, kwupụtara,
9 “Otu nwantakịrị nwoke nọ n’ebe a nwere ogbe achịcha balị ise, na azụ abụọ, ma
gịnị ka ha bụ n’etiti igwe mmadụ ha otu a?”
10 Jisọs sịrị, “Meenụ ka ndị mmadụ ndị a nọdụ ala.” E nwere ọtụtụ ahịhịa n’ebe
ahụ, ụmụ nwoke nọdụrụ ala, ha dị ihe ruru puku mmadụ ise. 11 Ya mere, Jisọs weere
achịcha ahụ nye ekele, kee ha ndị niile nọdụrụ ala dị ka ha sịrị chọọ. O jikwa azụ
ahụ mee otu ihe ahụ.
12 Mgbe ha niile rijuchara afọ, ọ sịrị ndị na-eso ụzọ ya, “Tụtụkọtanụ iberibe niile
fọdụrụ, ka ihe ọbụla hapụ ịla n’iyi.” 13 Ya mere, ha tụtụkọtara ha, kpojuo nkata iri
na abụọ, bụ iberibe si n’ogbe achịcha balị ise nke ndị ahụ rifọrọ.

14 Mgbe ndị mmadụ ahụ hụrụ ihe ịrịbama ahụ, o mere ha bidoro na-asị,
"N'eziokwu, onye a bụ onye amụma ahụ nke ga-abịa n'ime ụwa." 15 Mgbe Jisọs
matara na ha chọrọ ịbịa dọkpụrụ ya n'ike chie ya eze, ọ hapụrụ ha ga n'ugwu naanị
ya, n'onwe ya.

### *Jisọs agaa ije n'elu mmiri*

16 Mgbe o ruru n'uhuruchi, ndị na-eso ụzọ ya rịdara gaa n'ọnụ mmiri, 17 ebe ha
banyere n'otu ụgbọ mmiri, malite ịgabiga osimiri gawa n'ofe Kapanọm. N'oge a
ọchịchịrị agbaala ma Jisọs alọghachikwutebeghị ha. 18 Ebili mmiri maliri elu n'ihi
n'oke ifufe bidoro na-efe. 19 Ha akwọọla ụgbọ ihe dịka kilomita ise maọbụ isii, mgbe
ha hụrụ Jisọs ka ọ na-aga ije n'elu mmiri ahụ na-abịa nso n'ụgbọ mmiri ha. Oke egwu
tụkwara ha. 20 Ma ọ sịrị ha, "Unu atụla egwu. Ọ bụ m." 21 Mgbe ahụ, ha nabatara
ya n'ime ụgbọ ahụ, ọ dịkwaghị anya ụgbọ ha bịaruru n'elu ala ebe ha na-aga.

22 N'echi ya, igwe mmadụ ahụ nọdụrụ n'ofe ọzọ nke ọnụ mmiri ahụ chọpụtara na
ọ bụ naanị otu ụgbọ mmiri nta bịara n'ebe ahụ, na Jisọs esoghị ndị na-eso ụzọ ya
banye n'ime ya, kama na ọ bụ naanị ndị na-eso ụzọ ya ka ụgbọ mmiri ahụ buuru
pụọ. 23 Mgbe ahụ ụfọdụ ụgbọ mmiri si Tiberịas bịara kwụsị nso nso ebe ahụ ndị
mmadụ nọ rie achịcha mgbe Onyenwe anyị nyechara ekele maka ya. 24 Ma mgbe
igwe mmadụ ahụ ghọtara na Jisọs na ndị na-eso ụzọ ya anọghị n'ebe ahụ, ha banyere
n'ụgbọ mmiri nta ndị ahụ kwọfee gawa Kapanọm ịchọ Jisọs.

### *Jisọs achịcha nke ndụ*

25 Mgbe ha hụrụ ya n'ofe ọzọ nke osimiri ahụ, ha sịrị ya, "Onye ozizi, olee mgbe i
jiri bịa n'ebe a?"

26 Jisọs sịrị ha, "N'ezie, n'ezie agwa m unu, ihe unu ji na-achọ m abụghị n'ihi na unu
hụrụ ihe ịrịbama m mere, kama na unu riri achịcha rijuokwa afọ. 27 Unu adọgbula
onwe unu maka nri nke na-emebi emebi, kama maka nri nke na-adịgide ruo ndụ
ebighị ebi, bụ nke Nwa nke Mmadụ ga-enye unu. N'ihi na Chineke Nna akakwasịla
ya akara nkwado ya."

28 Mgbe ahụ, ha sịrị, "Gịnị ka anyị ga-eme iji rụọ ọrụ Chineke?"

29 Jisọs zara sị ha, "Ọrụ Chineke bụ nke a, ikwere n'onye ahụ o zitere."

30 Ya mere ha sịrị ya, "Olee ihe ịrịbama ị ga-egosi anyị nke anyị ga-ahụ ma kwere
na gị? Kedụ ọrụ ị ga-arụ? 31 Nna nna anyị ha riri mánà n'ọzara; dị ka e dere ya
n'akwụkwọ nsọ sị, 'O sitere n'eluigwe nye ha achịcha ka ha rie.'*"

32 Jisọs sịrị ha, "N'ezie, n'ezie agwa m unu, ọ bụghị Mosis nyere unu achịcha ahụ
site n'eluigwe, kama ọ bụ Nna m na-enye unu ezi achịcha ahụ site n'eluigwe. 33 N'ihi
na achịcha Chineke bụ nke ahụ si n'eluigwe rịdata, na-enyekwa ụwa ndụ."

34 Ha sịrị ya, "Nna anyị ukwu, nye anyị ụdị achịcha a site ugbu a gawa."

35 Jisọs sịrị ha, "Abụ m achịcha ahụ na-enye ndụ. Onye ọbụla na-abịakwute m,
agụụ agaghị agụ ya. Onye ọbụla kwa kweere na m, akpịrị agaghị akpọ ya nkụ. 36 Ma
agwa m unu, unu ahụla m ma unu ekweghịkwa. 37 Onye ọbụla Nna ahụ nyere m
ga-abịakwute m, onye ọbụla na-abịakwute m, agaghị m achụpụ ya. 38 N'ihi na esi m
n'eluigwe rịdata n'ụwa ime uche onye ahụ zitere m, ọ bụghị ime uche nke m. 39 Nke
a bụkwa uche onye ahụ zitere m, na o nweghị onye ọbụla o nyere m ga-efunarị m,
kama m ga-eme ka ha site n'ọnwụ bilie n'ụbọchị ikpeazụ. 40 Nke a bụ uche nke Nna
m, na onye ọbụla lere Ọkpara ahụ anya, kwerekwa na ya ga-enweta ndụ ebighị ebi,
m ga-emekwa ka o bilie n'ụbọchị ikpeazụ."

---

* **6:31** 6:31 Ọpụ 16:4; Neh 9:15; Abụ 78:24,25

41 N'ihi nke a, ndị Juu bidoro itamu ntamu megide ya n'ihi na ọ sịrị, "Abụ m achịcha
ahụ siri n'eluigwe rịdata." 42 Ha sịrị, "Onye a ọ bụghị Jisọs, nwa Josef, bụ onye anyị
matara nne na nna ya? Oleekwanụ otu o si ekwu ugbu a sị, 'Esi m n'eluigwe rịdata'?"
43 Jisọs zara sị ha, "Unu atamula n'etiti onwe unu. 44 O nweghị onye nwere ike
ịbịakwute m ma ọ bụghị na Nna ahụ zitere m kpọtara ya, aga m akpọlitekwa ya
n'ụbọchị ikpeazụ. 45 E dere ya n'akwụkwọ ndị amụma, 'Ha niile ga-abụ ndị Chineke
ga-akụziri ihe.'† Onye ọbụla nke gere Nna ahụ ntị ma mụtakwa ihe site na ya na-
abịakwute m. 46 O nweghị onye ọbụla hụrụla Nna ahụ karịakwa onye ahụ sitere na
Chineke, naanị ya hụrụla Nna ahụ. 47 N'eze, n'ezie agwa m unu, onye ọbụla kwerenụ
nwere ndụ ebighị ebi. 48 Abụ m achịcha nke ndụ. 49 Nna nna unu ha riri mánà ahụ
n'ime ọzara ma mecha nwụọ. 50 Ma nke a bụ achịcha ahụ nke si n'eluigwe bịa, nke
mmadụ pụrụ iri ma ghara ịnwụ anwụ. 51 Abụ m achịcha dị ndụ nke siri n'eluigwe
bịa. Ọ bụrụ na onye ọbụla erie achịcha a, ọ ga-adị ndụ ruo ebighị ebi. Nri a bụ anụ
ahụ m, nke m ga-enye maka ndụ nke ụwa."
52 Mgbe ahụ, ndị Juu bidoro na-arụrịta ụka ike n'etiti onwe ha sị, "Olee otu nwoke
a ga-esi nye anyị anụ ahụ ya ka anyị rie?"
53 Jisọs sịrị ha, "N'ezie, n'ezie agwa m unu, naanị ma unu riri anụ ahụ Nwa nke
Mmadụ ma ṅụọkwa ọbara ya, unu agaghị enwe ndụ n'ime onwe unu. 54 Onye ọbụla
riri anụ ahụ m, ṅụọkwa ọbara m nwere ndụ ebighị ebi. A ga m akpọlitekwa ya
n'ụbọchị ikpeazụ ahụ. 55 N'ihi na anụ ahụ m bụ ezigbo nri, ọbara m bụkwa ezigbo
ihe ọṅụṅụ. 56 Onye ọbụla na-eri anụ ahụ m na-aṅụkwa ọbara m na-anọgide n'ime
m mụ onwe m kwa n'ime ya. 57 Dị ka Nna ahụ dị ndụ zitere m, ana m adịkwa ndụ
n'ihi Nna ahụ, otu a ka onye na-eri m ga-adịkwa ndụ site na m. 58 Nke a bụ achịcha
ahụ si n'eluigwe bịa. Nna nna unu ha riri mánà ma nwụkwaa, ma onye ọbụla na-eri
achịcha a ga-adị ndụ ruo mgbe ebighị ebi." 59 O kwuru ihe ndị a mgbe ọ na-akụzi
ihe n'ụlọ ekpere dị na Kapanọm.

### *Ọtụtụ ndị na-eso ụzọ ya a hapụ Jisọs*

60 Mgbe ọtụtụ n'ime ndị na-eso ụzọ ya ha nụrụ nke a, ha sịrị, "Nke a bụ ozizi siri
ike, onye nwere ike ịnabata ya?"
61 Ebe Jisọs matara na ndị na-eso ụzọ ya na-atamu ntamu maka nke a ọ sịrị ha,
"Nke a ọ na-ewute unu? 62 Gịnị ka unu ga-ekwu ma ọ bụrụ na unu ahụ Nwa nke
Mmadụ ka ọ na-arịgo ebe ọ nọrịị na mbụ. 63 Ọ bụ Mmụọ ahụ na-enye ndụ; anụ ahụ
abaghị uru ọbụla, okwu ndị m gwara unu bụ mmụọ bụrụkwa ndụ. 64 Ma n'etiti unu,
ọ dị ụfọdụ na-ekwenyeghị." N'ihi na Jisọs maara site na mmalite ndị ahụ n'ime ha
na-ekwenyeghị, matakwa onye ahụ nke ga-arara ya nye. 65 Ọ sịrị, "Ọ bụ nke a mere
m jiri gwa unu na o nweghị onye ọbụla nwere ike ịbịakwute m ma ọ bụrụ na Nna
m enyeghị ya ike."
66 N'ihi nke a, ọtụtụ ndị na-eso ụzọ ya laghachiri azụ, kwụsị iso ya.
67 Jisọs sịrị mmadụ iri na abụọ ahụ, "Unu chọkwara iso ha pụọ?"
68 Saimọn Pita zara ya sị, "Onyenwe anyị, onye ka anyị ga-agakwuru? Ọ bụ gị ji
okwu nke ndụ ebighị ebi. 69 Anyị kweere marakwa na ị bụ Onye Nsọ nke Chineke."
70 Jisọs zara ha, "Ọ bụghị m họpụtara unu mmadụ iri na abụọ? Ma otu onye
n'ime unu bụ ekwensu!" 71 Ọ na-ekwu banyere Judas nwa Saimọn Iskarịọt, onye
n'agbanyeghị na ọ bụ otu n'ime mmadụ iri na abụọ ahụ, bụ onye ga-arara ya nye.

## 7

### *Jisọs na ụmụnne ya*

† **6:45** 6:45 Aịz 54:13

[1] Mgbe nke a gasịrị, Jisọs gagharịrị na Galili, ma ọ kpachapụrụ anya hapụ ịga Judịa
n'ihi na ndị Juu na-achọ ụzọ igbu ya. [2] Mmemme Ụlọ ikwu ndị Juu dị nso,* [3] ya mere,
ụmụnne ya ndị nwoke sịrị ya, "Si n'ebe a pụọ, gaa Judịa, ka ndị na-eso ụzọ gị nwe
ike ịhụ ọrụ ị na-arụ. [4] N'ihi na o nweghị onye ọbụla chọrọ ịbụ onye ọha mmadụ ma,
nke na-eme ihe na nzuzo. Ebe ọ bụkwanụ na ị na-eme ihe ndị a, gosi ụwa onwe gị."
[5] N'ihi na ọ bụladị ụmụnne ya ekwenyeghị na ya.
[6] Jisọs sịrị ha, "Oge nke m erubeghị, ma oge nke unu nọ n'ebe a mgbe niile. [7] Ụwa
enweghị ike ịkpọ unu asị, ma ọ kpọrọ m asị n'ihi na ana m agba ama megide ya
n'ọrụ ya jọrọ njọ. [8] Unu onwe unu gaanụ na mmemme ahụ, agaghị m aga mmemme
a n'ihi na oge m erubeghị." [9] Mgbe o kwusiri nke a, ọ nọgidere na Galili.
[10] Ma otu ọ dị, mgbe ụmụnne ya gawara mmemme ahụ ya onwe ya gakwara. Ọ
gaghị ebe mmadụ niile ga-ahụ ya kama ọ gara na nzuzo. [11] Na mmemme ahụ ndị Juu
nọ na-ele anya ma na-ajụgharị sị, "Olee ebe ọ nọ?"
[12] E nwere oke ntamu n'etiti igwe mmadụ ahụ banyere ya. Ndị ụfọdụ na-asị, "Ọ
bụ ezigbo mmadụ."
Ndị ọzọ na-asị, "Mba, ọ na-eduhie igwe mmadụ." [13] Ma o nweghị onye ọbụla
kwulitere okwu maka ya n'ihu ọha n'ihi egwu ndị Juu.

### *Jisọs a kuzie ihe na mmemme ahụ*

[14] Mgbe o ruru n'etiti mmemme ahụ, Jisọs banyere n'ime ụlọnsọ ukwu ma bido
ikuzi ihe. [15] Site n'oke mgbagwoju anya, ndị Juu jụrịtara onwe ha sị, "Olee otu nwoke
a sịrị nweta amamihe dị otu a ebe ọ bụ na o nwebeghị onye kuziri ya ihe ọbụla?"
[16] Jisọs zara ha, "Ozizi m abụghị nke m, kama ọ bụ nke onye ahụ zitere m. [17] Onye
ọbụla na-achọ ime uche Chineke, ọ ga-achọpụta ma ozizi m ọ bụ nke m ma o sikwanụ
na Chineke. [18] Ndị ahụ na-ekwu nke onwe ha na-eme nke a iji wetara onwe ha ugwu,
ma onye ahụ na-achọ ugwu nke onye zitere ya bụ onye eziokwu; o nwekwaghị ihe
ọbụla bụ ụgha banyere ya. [19] Mosis o nyeghị unu iwu? Ma o nweghị onye ọbụla
n'ime unu na-edebe iwu ahụ. Gịnị mere unu ji achọ igbu m?"
[20] Igwe mmadụ ahụ zara, "Mmụọ ọjọọ bi n'ime gị, onye chọrọ igbu gị?"
[21] Jisọs zara sị ha, "Arụrụ m otu ọrụ, ma unu niile nọ na mgbagwoju anya. [22] Mosis
nyere unu iwu ibi ugwu (n'agbanyeghị na o siteghị na Mosis, kama na nna nna anyị
ha), n'ụbọchị izuike unu na-ebikwa mmadụ ugwu. [23] Ọ bụrụ na e nwere ike bie
mmadụ ugwu n'ụbọchị izuike ka a ghara imebi iwu Mosis, gịnị mere o ji na-ewute
unu na m mere ka ahụ mmadụ zuo oke n'ụbọchị izuike? [24] Kwụsịnụ ikpe ikpe site
n'ihe anya na-ahụ, kama na-ekpenụ ikpe ziri ezi."

### *Ọ bụ Jisọs bụ Kraịst?*

[25] N'oge ahụ, ụfọdụ n'ime ndị Jerusalem bidoro na-asị, "Onye a ọ bụghị nwoke ahụ
ha chọrọ igbu? [26] Lee ka ọ nọ na-ekwu okwu n'ihu mmadụ niile ma o nwekwaghị
onye na-agwa ya ihe ọbụla. Ọ pụtara na ndịisi amatala n'eziokwu na ọ bụ Kraịst?
[27] Ma anyị matara ebe nwoke a siri pụta, mgbe Kraịst ahụ ga-abịa, o nweghị onye
ga-amata ebe o siri pụta."
[28] Ma dị ka Jisọs na-ezi ihe n'ime ụlọnsọ ukwuu ahụ, o tiri mkpu sị, "N'ezie, unu
maara m, matakwa ebe m siri pụta. Anọghị m n'ebe a na nke onwe m, ma onye ahụ
zitere m bụ eziokwu. Unu amaghị ya. [29] Ma amara m ya, n'ihi na esitere m na ya
bịa. Ọ bụkwa ya zitere m."
[30] Mgbe ahụ ha chọrọ ijide ya, ma o nweghị onye ọbụla metụrụ ya aka n'ihi na oge
ya erubeghị. [31] Ma otu ọ dị, ọtụtụ n'ime igwe mmadụ ahụ kweere na ya. Ha sịrị,
"Mgbe Kraịst ahụ ga-abịa, ọ ga-arụ ọrụ ebube ọzọ karịrị ndị a nwoke a rụrụla?"

* **7:2** 7:2 Nke a bụ mmemme ndị Juu ji echeta ịdị ndụ ha biri n'ọzara mgbe ha hapụrụ ala Ijipt.

[32] Ndị Farisii nụrụ ka igwe mmadụ ahụ na-atamu ntamu n'olu nta banyere ya.
Mgbe ahụ ndịisi nchụaja na ndị Farisii zigara ndị na-eche nche n'ụlọnsọ ukwuu ahụ
ka ha gaa jide ya.
[33] Jisọs sịrị, "Naanị nwa oge ka mụ na unu ga-anọ, aga m alakwurukwa onye zitere
m. [34] Unu ga-achọ m ma unu agaghị achọta m. Ebe m na-agakwa unu enweghị ike
ịbịaru ya."
[35] Ndị Juu sịrịtara onwe ha, "Olee ebe nwoke a chọrọ ịga anyị na-agaghị achọta ya?
Ọ ga-eje ebe ndị nke anyị a chụsasịrị achụsasị bi n'etiti ndị Griik, ka ọ ga kuziere ndị
Griik ihe? [36] Kedụ ụdị okwu bụ nke a ọ na-ekwu sị, 'Unu ga-achọ m ma unu agaghị
achọta m,' na 'Ebe m na-agakwa unu enweghị ike ịbịaru'?"

*Isi iyi mmiri nke ndụ*

[37] N'ụbọchị ikpeazụ bụkwa ụbọchị kacha ibe ya nke mmemme ahụ, Jisọs guzooro
ọtọ jiri oke olu tie mkpu sị, "Ọ bụrụ na akpịrị na-akpọ onye ọbụla nkụ, ya bịakwute
m bịa ṅụrụ mmiri. [38] Onye ọbụla kweere na m, dị ka akwụkwọ nsọ kwururị, isi iyi
mmiri nke ndụ ga na-asọpụta site n'ime afọ ya." [39] O kwuru nke a banyere Mmụọ
ahụ ndị kwere na ya ga-anata. Tutu ruo oge ahụ, e nyebeghị Mmụọ ahụ, n'ihi na e
nyebeghị Jisọs otuto.
[40] Mgbe ha nụrụ nke a, ụfọdụ n'ime igwe mmadụ ahụ sịrị, "N'eziokwu onye a bụ
onye amụma ahụ."
[41] Ndị ọzọ sịrị, "Ọ bụ Kraịst ahụ."
Ma ndị nke ọzọ sịkwara, "N'ezie Kraịst ahụ, ọ ga-esi na Galili pụta? [42] Ọ bụ na
akwụkwọ nsọ ekwughị na Kraịst ga-esi n'agbụrụ Devid pụta, na Betlehem bụ obodo
Devid?" [43] Ya mere nkewa dapụtara n'etiti igwe mmadụ ahụ n'ihi ya. [44] Ụfọdụ chọrọ
ijide ya ma ọ dịghị onye ọbụla metụrụ ya aka.

*Ekweghị ekwe nke ndị ndu ndị Juu*

[45] Mgbe ahụ, ndị nche ụlọnsọ ukwu lọghachiri n'ebe ndịisi nchụaja na ndị Farisii
nọ, ndị sịrị ha, "Gịnị mere unu akpụtaghị ya?"
[46] Ha zara, "Anyị ahụbeghị onye kwuru okwu dị ka nwoke a."
[47] Ndị Farisii zara ha, "Unu esorola bụrụ ndị a ghọgburu? [48] Ọ dị onye ọbụla n'ime
ndịisi maọbụ n'ime ndị Farisii tụkwasịrị ya obi? [49] E e! Kama igwe mmadụ ndị a
na-amaghị iwu bụ ndị a bụrụ ọnụ."
[50] Nikọdimọs, otu n'ime ha bụ onye bịakwutere ya na mbụ sịrị ha, [51] "Iwu anyị ọ
na-ama mmadụ ikpe, ma ọ bụrụ na o bụghị ụzọ nụta okwu n'ọnụ ya, ịchọpụta ihe
onye ahụ na-eme?"
[52] Ha zaghachiri ya sị, "Gị onwe gị, i sokwa na ndị si Galili pụta? Nyochaa nke
ọma, ị ga-achọpụta na onye amụma ọbụla agaghị esi na Galili pụta."
[Akwụkwọ ndị mbụ na ọtụtụ ndị ochie gbara akaebe enweghị amaokwu nke iri
ise na atọ n'akwụkwọ Jọn isi nke asaa ruo Jọn isi asatọ amaokwu nke iri na otu Jọn
7:53–8:11. Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye amaokwu ndị a, n'ebe o zuruoke maọbụ
ụfọdụ n'ime ya, ma o bụrụ na ha edechaa Jọn isi asaa amaokwu nke iri atọ na isii,
Jọn 7:36, Jọn 21:25, Luk 21:38 maọbụ Luk 24:53.]
[53] *Mgbe ahụ, onye ọbụla n'ime ha lara n'ụlọ ya.*

## 8

[1] *Ma Jisọs rigooro n'Ugwu Oliv.*
[2] *N'isi ụtụtụ echi ya, ọ bịara ọzọ n'ụlọnsọ ukwuu ebe ọtụtụ mmadụ bịakwutere ya.*
*Ọ nọdụrụ ala malite ikuziri ha ihe.* [3] *Ndị ozizi iwu na ndị Farisii dọkpụtara otu nwanyị*
*ha jidere n'ịkwa iko. Ha mere ka o guzo n'ihu igwe mmadụ ahụ niile.* [4] *Ha sịrị ya,*
*"Onye ozizi, anyị jidere nwanyị a ka ọ na-akwa iko.* [5] *N'iwu, Mosis nyere anyị ikike ka*

*e jiri okwute tugbuo onye mere ihe dị otu a. Gịnị ka i nwere ikwu banyere nke a?” 6 Ha*
*kwuru nke a iji nwalee ya, iji nweta ihe ha ga-eji ebo ya ebubo.*

*Ma Jisọs hulatara ala were mkpịsịaka ya dee ihe n’ala. 7 Mgbe ha nọgidere na-ajụ*
*ya ajụjụ, o biliri sị ha, “Onye ọbụla n’ime unu na-emebeghị mmehie ọbụla, ya buru ụzọ*
*tụọ ya nkume.” 8 Ọzọ, o hulatakwara ala malite ide ihe ọ na-ede n’ala.*

*9 Mgbe ha nụrụ nke a, ha niile n’otu n’otu, malite n’onye okenye ha, sitere n’ebe ahụ*
*pụọ. N’ikpeazụ, ọ fọdụrụ naanị Jisọs na nwanyị ahụ, ebe o guzoro n’ihu ya. 10 Jisọs*
*guzoro ọtọ jụọ ya sị, “Nwanyị, oleekwanụ ha? Ọ dịghị onye mara gị ikpe?”*

*11 Ọ sịrị, “O nweghị onye ọbụla Onyenwe anyị.”*

*Jisọs sịrị ya, “Mụ onwe m amakwaghị gị ikpe: Gawa, kama emehiekwala ọzọ.”*

### *Jisọs ìhè nke ụwa*

12 Ọzọ, Jisọs gwara ha sị, “Abụ m ihe nke ụwa. Onye ọbụla na-eso m agaghị ejegharị
n’ọchịchịrị, kama ọ ga-enwe ìhè nke ndụ.”

13 Ndị Farisii sịrị, “Ị na-agbara onwe gị ama! Ya mere ama ị na-agbara onwe gị
abụghị ezie.”

14 Ma Jisọs zara sị, “A sịkwarị na mụ na-agbara onwe m ama, ama m na-agba
bụ eziokwu. N’ihi na-amara m ebe m si bịa, marakwa m ebe m na-aga. Ma unu
aghọtaghị ebe m si bịa, maọbụ ebe m na-aga. 15 Unu na-ekpe ikpe dị ka mmadụ; ma
ekpeghị m onye ọbụla ikpe. 16 Ma ọ bụrụ na m ekpe ikpe, ikpe m bụ eziokwu n’ihi
na ọ bụghị naanị m nọ, kama ọ bụ mụ na Nna m, onye zitere m. 17 E dere n’iwu unu
sị, ‘ama mmadụ abụọ gbara bụ eziokwu.’ 18 Ana m agba ama banyere onwe m. Nna
m, onye zitere m, na-agbakwa ama banyere m.”

19 Mgbe ahụ ha jụrụ ya, “Olee ebe Nna gị nọ?”

Jisọs zara, “Unu amaghị m, unu amakwaghị Nna m. Ọ bụrụ na unu matara m unu
ga-amatakwa onye Nna m bụ.” 20 Okwu ndị a niile ka o kwuru n’ụlọnsọ ukwu ha,
mgbe ọ na-akụzi ihe na mpaghara ụlọ ahụ ebe a na-adọba onyinye. Ma ọ dịghị onye
ọbụla jidere ya n’ihi na oge ya erubeghị.

### *Jisọs ekwuo banyere ọnwụ ya*

21 Ọzọ ọ gwara ha, “Aga m ahapụ unu, unu ga-achọ m, ma unu ga-anwụ n’ime
mmehie unu. Ma unu apụghị ịbịa n’ebe m na-aga.”

22 Nke a mere ka ndị Juu na-asị, “Ọ ga-egbu onwe ya? Ọ bụ ya mere o ji sị, ‘Ebe m
na-aga unu apụghị ị bịa’?”

23 Ma ọ sịrị ha, “Unu si n’ala ma esi m n’elu bịa. Unu bụkwa ndị ụwa, ma
abụkwaghị m nke ụwa a. 24 A sịrị m unu na unu ga-anwụ n’ime mmehie unu, naanị
na unu kwenyere na mụ onwe m, bụ onye ahụ.”

25 Ha jụrụ ya, “Onye ka ị bụ?”

Jisọs zara sị ha, “Abụ m onye ahụ m gwara unu na m bụ na mbụ. 26 E nwere m
ọtụtụ ihe m ga-ekwu n’ikpe unu ikpe. Ma matanụ na onye ahụ zitere m bụ onye
eziokwu. N’ihi nke a, ihe niile m nụrụ site n’ọnụ ya ka m gwara ụwa.”

27 Ọ bụ ihe banyere Nna ya ka ọ na-agwa ha, ma ha aghọtaghị ya. 28 Ya mere Jisọs
sịrị, “Mgbe unu weliri Nwa nke Mmadụ elu, mgbe ahụ ka unu ga-ama na mụ onwe
m bụ ya. Unu ga-amatakwa na ọ dịghị ihe m na-eme n’onwe m, kama, dị ka Nna
m ziri m ka m na-ekwu ihe ndị a. 29 Onye ahụ nke zitere m na-anọnyekwara m. Ọ
hapụghịkwa m mgbe ọbụla, n’ihi na ọ bụ ihe na-amasị ya ka m na-eme mgbe niile.”
30 Mgbe ọ na-ekwu ihe ndị a, ọtụtụ kwenyere na ya.

### *Ụmụ nke Ebraham*

31 Jisọs gwara ndị Juu ndị kwere na ya, “Ọ bụrụ na unu anọgide n’okwu m n’ezie
unu ga-abụ ndị na-eso ụzọ m. 32 Unu ga-amatakwa eziokwu ahụ, eziokwu ahụ ga-
emekwa ka unu nwere onwe unu.”
33 Ha zara ya, “Anyị bụ ụmụ Ebraham, o nwebeghị oge anyị ji bụrụ ohu onye ọbụla.
Olee otu i si na-asị na a ga-eme ka anyị nwere onwe anyị?”
34 Jisọs zara ha, “N’ezie, n’ezie asị m unu, onye ọbụla na-eme mmehie bụ ohu
mmehie. 35 Ohu enwekwaghị ọnọdụ mgbe ọbụla n’ezinaụlọ, ma ọkpara nwere ọnọdụ
ruo ebighị ebi. 36 Ya mere, ọ bụrụ na Ọkpara ahụ emee ka unu nwere onwe unu
n’ezie, unu ga-abụ ndị nwere onwe unu. 37 Ama m na unu bụ ụmụ ụmụ Ebraham,
ma unu na-achọ igbu m n’ihi na okwu m enweghị ọnọdụ n’ime unu. 38 Ana m ekwu
ihe m hụrụ n’ebe Nna m nọ, ma unu na-eme ihe unu nụrụ site n’aka nna unu.”
39 Ha zara ya, “Ebraham bụ nna anyị.”
Jisọs sịrị ha, “Ọ bụrụ na unu bụ ụmụ Ebraham, unu gara na-arụ ọrụ Ebraham rụrụ.
40 Ma unu na-achọ igbu m, bụ onye gwara unu eziokwu ahụ m nụrụ n’ebe Chineke
nọ. Ebraham emeghị otu a. 41 Unu na-arụ ọrụ nna unu rụrụ.”
Ha sịrị ya, “Anyị abụghị ụmụ a mụrụ site n’ịkwa iko; naanị Chineke ya onwe ya
bụ otu Nna anyị nwere.”

### *Ụmụ nke Ekwensu*

42 Jisọs gwara ha, “Ọ bụrụ n’ezie na Chineke bụ Nna unu, unu ga-ahụ m n’anya,
n’ihi na ọ bụ Chineke zitere m. Abịaghị m site n’ike aka m. 43 Gịnị mere unu adịghị
aghọta ihe m na-ekwu? Ọ bụ na unu enweghị ike ịnabata okwu m. 44 Unu bụ ụmụ
nke nna unu ekwensu. Uche unu bụ imezu ihe nke nna unu na-achọ. Ọ bụ ogbu ọchụ
site na mbụ. Ọ dịghị ejigide eziokwu n’ihi na eziokwu adịghị n’ime ya. Mgbe ọ na-
ekwu okwu ụgha, ọ na-ekwu dị ka ọdịdị ya sịrị dị, n’ihi na ọ bụ onye ụgha bụrụkwa
nna nke ụgha. 45 Ma n’ihi na m na-ekwu eziokwu, ọ bụ ya mere unu ekwenyeghị
na m. 46 O nwere onye n’ime unu pụrụ ịtụ m mmehie m n’ihu? Ọ bụrụ na m na-
ekwu eziokwu, gịnị mere unu ekwenyeghị na m? 47 Onye ọbụla sitere na Chineke
na-anụ ihe Chineke na-ekwu. Ihe kpatara unu adịghị anụ bụ maka unu abụghị ndị
nke Chineke.”

### *Jisọs na Ebraham*

48 Ndị Juu zara sị, “Anyị e kwughị eziokwu mgbe anyị sịrị na ị bụ onye Sameria,
na mmụọ ọjọọ bikwa n’ime gị?”
49 Jisọs zaghachiri, “Mmụọ ọjọọ ọbụla adịghị n’ime m, kama ana m asọpụrụ Nna
m, ma unu adịghị asọpụrụ m. 50 Anaghị m achọ otuto nke onwe m, kama ọ dị onye
nke na-achọ ya. Ọ bụkwa ya bụ onye ikpe. 51 N’ezie, n’ezie, agwa unu, onye ọbụla
na-edebe okwu m agaghị anwụ ọzọ.”
52 Mgbe ahụ ndị Juu sịrị ya, “Anyị maara ugbu a na mmụọ ọjọọ bi n’ime gị. Ebraham
nwụrụ anwụ ya na ndị amụma, ma gị onwe gị na-asị na onye ọbụla kwere na gị
agaghị anwụ ruo mgbe ebighị ebi. 53 Ị dị ukwuu karịa nna anyị Ebraham? Ọ nwụrụ,
ma ndị amụma nwụkwara. Onye ka ị na-eche na ị bụ?”
54 Jisọs zara, “Ọ bụrụ na m etoo onwe m, otuto m bụ ihe efu, Nna m, onye unu
na-asị na ọ bụ Chineke unu, bụ onye na-eto m. 55 Amaara m onye ọ bụ n’agbanyeghị
na unu amaghị ya. Aga m abụ onye ụgha ma ọ bụrụ na m ga-asị na-amaghị m onye
ọ bụ. Amaara m ya na-edebekwa okwu ya. 56 Nna unu Ebraham ṅụrịrị ọṅụ mgbe o
chetara na ọ ga-ahụ ụbọchị m; ọ hụrụ ya ma ṅụrịakwa ọṅụ.”
57 Ndị Juu sịrị ya, “Ị gbabeghị iri afọ ise ma ị hụla Ebraham?”
58 Jisọs sịrị ha, “N’ezie, n’ezie agwa m unu, tupu amụọ Ebraham, mụ onwe m nọ
ya.” 59 Ya mere, ha tụtụlitere nkume ịtụ ya, ma Jisọs zoro onwe ya, sitekwa n’ụlọnsọ
ukwuu ahụ pụọ.

# 9

### *Jisọs agwọọ onye ìsì*

1 Mgbe ọ na-agafe, ọ hụrụ otu nwoke kpuru ìsì site n’afọ nne ya. 2 Ndị na-eso ụzọ
ya jụrụ ya sị, “Onye ozizi, onye mehiere? Nwoke a ka ọ bụ ndị mụrụ ya, nke mere e
ji mụọ ya n’ìsí?”

3 Jisọs sịrị, “Nwoke a emehieghị, ndị mụrụ ya emehiekwaghị, kama o kpuru ìsì ka
ọrụ Chineke pụta ìhè na ndụ ya. 4 Anyị aghaghị ịrụ ọrụ onye ahụ zitere m, mgbe chi
ka dị, anyasị na-abịa mgbe o nweghị onye pụrụ ịrụ ọrụ. 5 Dị ka m nọ n’ụwa, Abụ m
ìhè nke ụwa.”

6 Mgbe o kwusiri nke a, ọ bụsara ọnụ mmiri asụ n’ala gwakọta ya na aja, werekwa
aja ahụ tee nwoke ahụ n’anya. 7 Ọ gwara ya, “Gaa n’ọdọ mmiri Sailọm saa ihu gị”
(nke a pụtara “Zitere”). Ọ gara saa ihu ya, lọghachita na-ahụ ụzọ.

8 Ndị agbataobi ya na ndị n’ahụ ya n’oge gara aga ka ọ na-arịọ arịrịọ sịrị, “Nke a,
ọ bụghị nwoke ahụ na-anọdụ ala na-arịọ arịrịọ?” 9 Ụfọdụ na-asị, “Ọ bụ ya.”

Ma ndị ọzọ na-asịkwa, “Ọ bụghị ya. Ọ bụ onye yiri ya.”

Ma ọ na-asị, “Abụ m nwoke ahụ.”

10 Ha na-asị ya, “Olee otu anya gị sịrị meghee?”

11 Ọ zara, “Nwoke a na-akpọ Jisọs gwakọtara ụrọ tee m n’anya. Ọ gwara m sị, ‘Gaa
saa ihu gị n’ọdọ mmiri Sailọm.’ A gara m saa onwe m, malitekwa ịhụ ụzọ.”

12 Ha sịrị ya, “Olee ebe nwoke ahụ nọ?”

Ọ sịrị, “Amaghị m.”

### *Ndị Farisii emee nchọpụta maka ọgwụgwọ ahụ*

13 Ha dutere nwoke ahụ kpuru ìsì na mbụ n’ihu ndị Farisii. 14 Ma ọ bụ n’ụbọchị
izuike ka Jisọs gwakọtara aja, jiri ya meghe anya ya. 15 Ya mere, ndị Farisii jụrụ ya
otu o si bido ịhụ ụzọ. Ọ sịrị ha, “Ọ gwakọtara aja tee m n’anya, a sakwara m ihu ma
ugbu a ana m ahụ ụzọ.”

16 Ụfọdụ ndị Farisii sịrị, “Nwoke a esiteghị n’ebe Chineke nọ bịa, n’ihi na ọ dịghị
edebe ụbọchị izuike.”

Ma ndị ọzọ na-asị, “Olee otu onye mmehie ga-esi rụọ ọrụ ịrịbama ndị dị otu a?”
Nkewa dịrị n’etiti ha.

17 Ya mere, ha sịrị nwoke ahụ kpuru ìsì, “Gịnị ka i nwere ikwu banyere ya? Ọ bụ
anya gị ka o meghere.”

Ọ sịrị, “Ọ bụ onye amụma.”

18 Ma ndị Juu ahụ ekweghị na nwoke a bụ onye kpuru ìsì na mbụ, nke e mere ka
ọ hụ ụzọ, tutu ruo mgbe ha kpọrọ ndị mụrụ ya. 19 Ha jụrụ ha sị, “Onye a ọ bụ nwa
unu, onye unu na-asị na o kpuru ìsì site n’oge a mụrụ ya? O si aṅaa ahụ ụzọ ugbu
a?”

20 Ndị mụrụ ya zara, “nke a bụ nwa anyị. Anyị matakwara na o kpuru ìsì site n’oge
anyị mụrụ ya. 21 Ma otu o si ahụ ụzọ ugbu a maọbụ onye meghere anya ya, anyị
amaghị. Jụọnụ ya. Ọ bụ dimkpa, ya zara ọnụ ya.” 22 Ihe a ka ndị mụrụ ya kwuru
n’ihi na ha na-atụ egwu ndị Juu. Ndị kpebirila na ọ bụrụ na onye ọbụla ekwuo na
Jisọs bụ Kraịst ahụ, ha ga-achụpụ onye ahụ site n’ụlọ ekpere ha. 23 Nke a mere ndị
mụrụ ya jiri sị, “Ọ bụ dimkpa, unu jụọ ya.”

24 Ha kpọrọ nwoke a nke ugboro abụọ, bụ onye ahụ kpuburu ìsì, sị ya, “Nye Chineke
otuto. Anyị maara na nwoke a bụ onye mmehie.”

25 Ọ zara, “Amaghị m maọbụ onye mmehie ma ọ bụghị. Ma otu ihe ka m maara,
ekpuru m ìsì na mbụ ma ugbu a ana m ahụ ụzọ.”

26 Ha sịrị ya, “Gịnị ka o mere gị? Olee otu o si meghe anya gị?”

27 Ọ zara ha, “Agwala m unu ihe niile, ma unu achọghị ikwere. Gịnị mere unu ji
chọọ ịnụ ya ọzọ? Unu chọkwara ịghọ ndị na-eso ụzọ ya?”
28 Ha bigbọrọ ya sị, “Gị onwe gị bụrụkwa onye na-eso ụzọ ya! Anyị bụ ndị na-eso
ụzọ Mosis. 29 Anyị mara na Chineke gwara Mosis okwu, ma gbasara nwoke a, anyị
amaghị ebe o siri bịa.”
30 Nwoke ahụ zaghachiri sị ha, “Ma otu ọ dị, nke a bụ ihe ịtụnanya! Unu amaghị
ebe o sịrị bịa ma o meghere anya m. 31 Anyị mara na Chineke adịghị ege ndị mmehie
ntị, ma ọ na-ege ntị onye na-atụ egwu ya na onye na-eme uche ya. 32 Site na mgbe
e kere ụwa, ọ dịbeghị onye a nụrụ na o meghere anya onye kpuru ìsì. 33 Ọ bụrụ na
nwoke a esiteghị n’ebe Chineke nọ, ọ gaghị enwe ike ime ihe ọbụla.”
34 Ha zara sị ya, “Gị onye a mụrụ n’ime mmehie, ị na-achọ ikuziri anyị ihe?” Ha
chụpụrụ ya n’ezi.

*Ikpu ìsì nke ime mmụọ*

35 Jisọs nụrụ na ha achụpụla ya n’ezi, ma mgbe ọ chọtara ya, ọ sịrị ya, “I kweere
na Nwa nke Mmadụ?”
36 Ọ zara sị, “Onyenwe m, ọ bụ onye? Gwa m ka m nwe ike ikwere na ya.”
37 Jisọs sịrị ya, “Ị hụla ya ugbu a; onye gị na ya na-ekwurịta okwu bụ onye ahụ.”
38 Ọ sịrị, “Onyenwe m, ekwela m.” Ọ kpọrọ isiala nye ya.
39 Jisọs sịrị, “Ọ bụ n’ihi ikpe ka m ji bịa n’ụwa, ka ndị na-adịghị ahụ ụzọ bido ịhụ
ụzọ, na ka ndị na-ahụ ụzọ ghọọ ndị kpuru ìsì.”
40 Mgbe ụfọdụ ndị Farisii nọ nso n’ebe ahụ nụrụ nke a, ha sịrị ya, “Anyị onwe anyị,
anyị bụkwa ndị kpuru ìsì?”
41 Jisọs sịrị ha, “Ọ bụrụ na unu kpuru ìsì, ikpe ọmụma mmehie agaghị ama unu,
ma ugbu a ebe unu sị na unu na-ahụ ụzọ ikpe ọmụma unu na-adịgide.”

# 10

*Onye ọzụzụ atụrụ na igwe atụrụ ya*

1 “N’ezie, n’ezie, agwa m unu, onye ọbụla na-adịghị esite n’ọnụ ụzọ aba n’ọgba
atụrụ kama ọ na-arị elu ka o site n’elu ụlọ ahụ wufee, bụ onye ohi bụrụkwa onye na-
apụnara mmadụ ihe. 2 Onye na-esite n’ọnụ ụzọ abanye bụ onye ọzụzụ atụrụ. 3 Onye
nche ọnụ ụzọ na-emeghere ya ụzọ, atụrụ ya na-anụkwa olu ya. Ọ na-akpọ atụrụ nke
ya aha, ma duru ha pụọ. 4 Mgbe ọ kpọpụtasịrị ndị niile bụ nke ya, ọ na-aga n’ihu ha.
Atụrụ ya na-esokwa ya n’azụ n’ihi na ha maara olu ya. 5 Ha agaghị eso onye ọbịa,
kama ha gbaara ya ọsọ. N’ihi na ha amaghị olu onye ọbịa.” 6 Jisọs ji ihe yiri ihe gwa
ha okwu. Ma ha aghọtaghị ihe ọ nọ na-agwa ha.
7 Ọzọ, Jisọs sịrị, “N’ezie, n’ezie, ana m agwa unu, mụ onwe m bụ ọnụ ụzọ ọgba
atụrụ ahụ. 8 Ndị niile bịara tupu mụ onwe m abịa bụ ndị ohi na ndị na-apụnara
mmadụ ihe n’ike. Ụmụ atụrụ aṅakwaghị ha ntị. 9 Mụ onwe m bụ ụzọ. Onye ọbụla
sitere na m banye, a ga-azọpụta ya. Ọ ga na-apụ na-abata na-achọtakwa nri. 10 Onye
ohi na-abịa naanị ka o zuo ohi, gbuo ma bibiekwa; abịara m ka ha nwe ndụ ma
nwebigakwa ya oke.
11 “Mụ onwe m bụ onye ọzụzụ atụrụ ọma. Ezi onye ọzụzụ atụrụ na-atọgbọ ndụ
ya n’ihi atụrụ ya. 12 Onye e goro ọrụ, nke na-abụghị onye nche atụrụ, onye atụrụ
na-abụghị nke ya, ọ na-ahapụ ha gbaa ọsọ mgbe ọ hụrụ agụ ka ọ na-abịa; mgbe ahụ
agụ na-achụso atụrụ ahụ chụsasịa ha. 13 Onye e goro ọrụ na-agbapụ, n’ihi na ọ bụ
onye e goro ọrụ, ọ naghị echegbu onwe ya banyere atụrụ ndị ahụ.
14 “Abụ m onye ọzụzụ atụrụ ọma; amaara m atụrụ m, atụrụ nke m makwaara m.
15 Dị ka Nna ahụ maara m, mụ onwe m makwa Nna ahụ. Ana m atọgbọ ndụ m n’ihi
atụrụ ahụ. 16 Enwere m ụmụ atụrụ ọzọ ndị na-anọghị n’ọgba atụrụ a. Aghaghị m

ịkpọbatakwa ha. Ha onwe ha ga-anụ olu m, a ga-enwekwa otu igwe atụrụ na otu onye
ọzụzụ atụrụ. 17 Maka nke a ka Nna jiri hụ m n’anya, n’ihi na ana m atọgbọ ndụ m,
ka m wereghachikwa ya ọzọ. 18 O nweghị onye ọbụla pụrụ ịnara m ya, kama ana m
atọgbọ ya n’ike nke onwe m. Enwere m ikike ịtọgbọ ya, nweekwa ikike iwereghachi
ya ọzọ. Anatara m iwu a site n’aka Nna m.”
19 Ọzọkwa, nkewa batara n’etiti ndị Juu n’ihi okwu ndị a. 20 Ọtụtụ n’ime ha na-
ekwu, “Ọ bụ onye mmụọ ọjọọ na-achị ya, onye isi mebiri. Ọ bara uru ige ya ntị?”
21 Ma ndị ọzọ na-ekwu, “Okwu ndị a adịghị ka nke onye mmụọ ọjọọ bi n’ime ya.
Mmụọ ọjọọ o nwere ike ime ka anya onye kpuru ìsì meghee?”

### *Ekweghị ekwe nke ndị juu*

22 N’oge ahụ, mmemme icheta mgbe e doro ụlọnsọ ukwu ahụ nsọ ruru na
Jerusalem. Ọ bụ oge oke oyi,[*] 23 ma Jisọs nọ na-ejegharị n’ụlọnsọ ukwu, n’ịba[†]
Solomọn. 24 Ndị Juu gbara ya gburugburu sị ya, “Ruo ole mgbe ka ị ga-edebe anyị
n’ọnọdụ olileanya? Ọ bụrụ na ị bụ Kraịst ahụ, gwaghee anyị ọnụ.”
25 Jisọs zara ha, “Agwara m unu, ma unu ekweghị. Ọrụ m na-arụ n’aha Nna m
na-agba ama banyere m. 26 Ma unu ekwenyeghị, n’ihi na unu esoghị n’igwe atụrụ
m. 27 Atụrụ m na-anụ olu m. Amaara m ha, ha na-esokwa m. 28 Ana m enye ha ndụ
ebighị ebi. Ha agaghị ala n’iyi. Mmadụ ọbụla enwekwaghị ike ịpụnarị ha n’aka m.
29 Nna m onye nyere m ha dị ukwuu karịa ihe niile. O nweghị onye nwere ike ịnapụ
ha site n’aka Nna m. 30 Mụ na nna m bụ otu.”
31 Ndị Juu tụtụlitekwara nkume ọzọ ịtụ ya. 32 Ma Jisọs zara ha, “E zila m unu ọtụtụ
ọrụ ọma nke sitere n’aka Nna m, olee nke unu na-achọ ịtụ m nkume n’ihi ya?”
33 Ndị Juu zara ya, “Anyị achọghị ịtụ gị nkume n’ihi ọrụ ọma ndị a, kama n’ihi
nkwulu na n’ihi na gị bụ mmadụ efu, ma ị na-eme onwe gị Chineke.”
34 Jisọs zara ha, “Edeghị ya n’iwu unu, sị, ‘Mụ onwe m sịrị na unu bụ chi’[‡]? 35 Ọ
bụrụ na a kpọrọ ndị ahụ nabatara okwu Chineke ‘chi,’ apụghịkwa imebi ihe e dere
n’akwụkwọ nsọ. 36 Unu na-ekwu na onye ahụ Chineke doro nsọ ma zitekwa ya n’ime
ụwa na-ekwulu Chineke n’ihi na m sịrị, ‘Abụ m Ọkpara Chineke?’ 37 Unu ekwenyela
na m, ma ọ bụrụ na ọ bụghị ọrụ Nna m ka m na-arụ. 38 Ma ọ bụrụ na m na-arụ
ya, a sịkwarị na unu ekweghị na m, kwerenụ n’ọrụ ndị a, ka unu nwee ike mata ma
ghọtakwa na Nna ahụ nọ n’ime m, mụ onwe m nọkwa n’ime Nna ahụ.” 39 Ọzọkwa,
ha gbalịrị ijide ya ma ọ siri n’aka ha pụọ.
40 Mgbe ahụ ọ laghachiri azụ n’ofe osimiri Jọdan, bụ ebe Jọn nọrọ na mbụ mee
baptizim, ebe ahụ ka ọ nọdụrụ. 41 Ọtụtụ ndị mmadụ bịakwutere ya. Ha na-asị, “Jọn
arụghị ọrụ ihe ịrịbama ọbụla, ma ihe niile Jọn kwuru banyere nwoke a bụ eziokwu.”
42 Ọtụtụ mmadụ kwenyekwara na ya n’ebe ahụ.

# 11

### *Ọnwụ Lazarọs*

1 N’oge ahụ, ahụ adịghị otu nwoke a na-akpọ Lazarọs onye Betani, nke bụ obodo
nta nke Meri na Mata nwanne ya nwanyị. 2 Nke a bụ Meri ahụ weere mmanụ otite dị
oke ọnụahịa tee Onyenwe anyị, ma jirikwa agịrị isi ya hichaa ụkwụ ya. Ọ bụ nwanne
ya nwoke Lazarọs bụ onye nọ n’ọrịa. 3 Nke a mere ụmụnne ya nwanyị zigara Jisọs
ozi sị, “Onyenwe anyị, onye ahụ nke ị hụrụ n’anya nọ n’ọrịa.”

---

[*] **10:22** 10:22 Nke a bụ mmemme icheta ido nsọ e doro ụlọnsọ ukwu ahụ mgbe e wugharịrị ya n’ihi mmerụ ndị Siria merụrụ ya. E mere ka anyị mata na ọ bụ onye a na-akpọ Antiokus Efifanis merụrụ ụlọnsọ ahụ, mgbe o ji ezi chụọ aja n’elu ebe ịchụ aja ya, dịka akwụkwọ akụkọ si kọọ ya. [†] **10:23** 10:23 Maọbụ, mgbe ụlọ [‡] **10:34** 10:34 Abụ 82:6

4 Mgbe Jisọs nụrụ ya, ọ sịrị, “Ọrịa a abụghị nke ọnwụ kama ọ bụ iji nye Chineke
otuto nakwa ka e site na ya nye Ọkpara Chineke otuto.” 5 Jisọs hụrụ Mata, na nwanne
ya nwanyị na Lazarọs n’anya. 6 Mgbe ọ nụrụ na Lazarọs nọ n’ọrịa, ọ nọkwuru
mkpụrụ ụbọchị abụọ n’ebe ahụ ọ nọ. 7 Ya mere, ọ gwara ndị na-eso ụzọ ya, “Ngwanụ
ka anyị laghachi azụ na Judịa.”
8 Ma ndị na-eso ụzọ ya sịrị ya, “Onye ozizi, n’oge nta gara aga ka ndị Juu chọrọ ịtụ
gị nkume. Ị na-agakwa ebe ahụ ọzọ?”
9 Jisọs zara, “Ọ bụghị awa iri na abụọ dị n’otu ehihie nke ụbọchị? Onye na-ejegharị
n’ehihie anaghị asụ ngọngọ, n’ihi na ọ na-eji ìhè nke ụwa a ahụ ụzọ. 10 Ma ndị na-
ejegharị n’abalị na-azọhie ụkwụ, n’ihi na ìhè adịghị n’ime ha.”
11 Mgbe o kwusiri nke a, ọ gwakwara ha, “Enyi anyị Lazarọs na-arahụ ụra, ma ana
m aga ịkpọte ya n’ụra.”
12 Ndị na-eso ụzọ ya sịrị ya, “Onyenwe anyị, ọ bụrụ na ọ na-arahụ ụra, ọ ga-adị
mma.” 13 Ihe Jisọs na-ekwu bụ banyere ọnwụ ya ma ha chere na ọ na-ekwu banyere
ịrahụ ụra efu.
14 Mgbe ahụ, Jisọs gwaghere ha ọnụ, “Lazarọs anwụọla. 15 Ma n’ihi unu, obi dị m
ụtọ na anọghị m n’ebe ahụ, ka unu nwe ike kwere. Ma bịanụ ka anyị gakwuru ya.”
16 Tọmọs, onye a na-akpọ Didimọs, gwara ndị na-eso ụzọ ibe ya, “Ka anyị gakwanụ
ka anyị soro ya nwụọ.”

### *Jisọs akasịe ụmụnne nwanyị Lazarọs obi*

17 Mgbe Jisọs rutere, ọ chọpụtara na Lazarọs anọọlarị n’ili ụbọchị anọ. 18 Betani dị
Jerusalem nso, ihe dị ka kilomita atọ. 19 Ma ọtụtụ ndị Juu bịakwutere Mata na Meri
ịkasị ha obi n’ihi ọnwụ nwanne ha nwoke. 20 Mgbe ozi ọbịbịa Jisọs ruru Mata ntị, ọ
gara izute ya, ma Meri nọdụrụ n’ụlọ.
21 Mata sịrị Jisọs, “Onyenwe m, a sị na ị nọ n’ebe a, nwanne m nwoke agaraghị
anwụ. 22 Ma ugbu a, amara m na Chineke ga-enye gị ihe ọbụla ị rịọrọ.”
23 Jisọs sịrị ya, “Nwanne gị nwoke ga-ebili ọzọ.”
24 Mata sịrị ya, “Amara m na ọ ga-ebili ọzọ n’ụbọchị mbilite n’ọnwụ n’oge ikpeazụ.”
25 Jisọs gwara ya, “Mụ onwe m bụ mbilite n’ọnwụ na ndụ. Onye ọbụla kwere na
m, a sịkwarị na ọ nwụrụ anwụ, ọ ga-adị ndụ ọzọ. 26 Ma onye ọbụla dị ndụ nke
na-ekwere na m agaghị anwụ. Ị kwere nke a?”
27 Ọ sịrị ya, “E, Onyenwe m, ekwere m na ị bụ Kraịst ahụ, Ọkpara Chineke, onye
ga-abịa n’ụwa.”

### *Jisọs bere akwa*

28 Mgbe o kwuchara nke a, ọ gara kpọọ nwanne ya nwanyị bụ Meri, jiri nwayọọ sị
ya, “Onye ozizi abịala, ọ na-akpọ gị.” 29 Mgbe ọ nụrụ nke a, ọ biliri ọsịịsọ ga zute
ya. 30 Ruo mgbe a, Jisọs abịarutebeghị n’obodo nta ahụ, ma ọ ka nọ n’ebe ahụ Mata
zutere ya. 31 Ndị Juu nọ n’ụlọ na-akasị Meri obi hụrụ ya ka ọ pụrụ ngwangwa. Ha
sochiri ya n’azụ n’ihi na ha chere na ọ na-aga n’ili ibe akwa n’ebe ahụ.
32 Mgbe Meri rutere n’ebe Jisọs nọ, ọ dara n’ụkwụ ya sị, “Onyenwe m, ọ bụrụ na ị
nọ n’ebe a, nwanne m nwoke agaraghị anwụ.”
33 Mgbe Jisọs hụrụ ya ka ọ na-ebe akwa ya na ndị Juu ahụ so ya ka ha na-ebekwa
akwa, o metụrụ ya n’ime mmụọ ya. O nwere ọmịiko dị ukwuu. 34 Ọ sịrị, “Olee ebe
unu liri ya?”
Ha sịrị ya, “Onyenwe anyị bịa ka ị hụ.”
35 Jisọs ebee akwa.
36 Mgbe ahụ ndị Juu na-asị, “Lee ka o si hụ ya n’anya.”
37 Ma ụfọdụ n’ime ha sịrị, “Nwoke a meghere anya onye kpuru ìsì, ọ garaghị enwe
ike mee ka nwoke a hapụ ịnwụ?”

### *Jisọs akpọlite Lazarọs site n'ọnwụ*

38 Ọzọkwa, Jisọs sụrụ ude n'ime onwe ya nke ukwuu, bịarute n'ili ahụ nso. Ili ahụ
bụ ọgba e jiri nkume dị ukwuu mechie ọnụ ya. 39 Jisọs sịrị, "Bupunụ nkume ahụ!"
Ma Mata, nwanne nwanyị onye ahụ nwụrụ anwụ, sịrị ya, "Onyenwe anyị, ọ ga
na-esi isi ugbu a, n'ihi na nke a bụ abalị anọ ọ nwụrụ."
40 Ma Jisọs sịrị ya, "Ọ bụ na m agwaghị gị sị na ọ bụrụ na ị kwere ị ga-ahụ ọrụ
ebube Chineke?"
41 Ya mere, ha bupụrụ nkume ahụ. Jisọs lere anya n'elu sị, "Nna, ana m ekele gị
n'ihi na ị nụla olu m. 42 Amaara m na ị na-anụ olu m mgbe niile. Ana m ekwu nke a
n'ihi ndị a gbara m gburugburu n'ebe a, ka ha kwere na ọ bụ gị zitere m."
43 Mgbe o kwusiri nke a, o jiri oke olu tie mkpu, "Lazarọs, pụta!" 44 Onye ahụ
nwụrụ anwụ pụtara, e jikwa akwa ozu kekọta aka ya na ụkwụ ya, werekwa akwa
ịchafu kechie ihu ya.
Jisọs sịrị ha, "Tọpụnụ ya, hapụ ya ka ọ laa."

### *Izu igbu Jisọs*

45 Ọtụtụ ndị Juu bịakwutere Meri bụ ndị hụrụ ihe a o mere, kwere na ya. 46 Ma
ụfọdụ n'ime ha lara gaa kọọrọ ndị Farisii ihe o mere. 47 Mgbe ahụ, ndịisi nchụaja na
ndị Farisii kpọrọ nzukọ ndị Sanhedrin.
Ha na-asị, "Gịnị ka anyị ga-eme? N'ihi na nwoke a na-eme ọtụtụ ihe ịrịbama.
48 Ọ bụrụ na anyị ahapụ ya ka ọ gaa n'ihu, mmadụ niile ga-ekwere na ya. Ndị Rom
ga-abịakwa, kwatuo ụlọnsọ ukwu ma napụ anyị obodo anyị."
49 Ma otu onye n'ime ha bụ Kaịfas, onyeisi nchụaja n'afọ ahụ sịrị ha, "Unu amaghị
ihe ọbụla. 50 Ọ bụ na unu amaghị na ọ ka mma ka otu onye nwụọ n'ihi mmadụ niile,
karịa n'obodo anyị niile ga-ala n'iyi."
51 Dị ka onyeisi nchụaja nke afọ ahụ, o kwughị nke a site n'echiche ya, kama o
buru amụma na Jisọs ga-anwụ n'ihi mba ndị Juu. 52 Ọ bụghị n'ihi mba ahụ naanị,
kama, ka ọ kpọkọta ụmụ Chineke ndị gbasara n'ebe niile. 53 Ya mere, site n'ụbọchị
ahụ, ha malitere ịgba izu otu ha ga-esi gbuo ya.
54 Ya mere, Jisọs kwụsịrị ịgagharị ebe ndị Juu ga-ahụ ya. O siri n'ebe ahụ pụọ gaa
n'akụkụ ọzara n'otu obodo nta a na-akpọ Ifrem. Ya na ndị na-eso ụzọ ya nọdụrụ
n'ebe ahụ.
55 Mmemme Ngabiga ndị Juu dịkwa nso. Ọtụtụ ndị mmadụ si n'akụkụ ala ndị Juu
niile bịa Jerusalem. Ha bịara tutu mmemme ahụ ebido ka ha mee onwe ha ka ha dị
ọcha. 56 Ha na-achọ Jisọs na-ajụrịta onwe ha n'ime ụlọnsọ ukwu ahụ, "Gịnị ka unu
chere? Ọ bụ na ọ gaghị abịa na mmemme a?" 57 Ma n'oge ahụ, ndịisi nchụaja na ndị
Farisii enyela iwu ka onye ọbụla hụrụ ya bịa gwa ha ka ha gaa jide ya.

## 12

### *Meri etee Jisọs Mmanụ*

1 Ụbọchị isii tupu e mee Mmemme Ngabiga, Jisọs gara Betani bụ obodo Lazarọs,
onye ahụ ọ mere ka o site n'ọnwụ bilie. 2 N'ebe ahụ, ha siiri Jisọs nri, ọ bụkwa
Mata na-eje ozi isi nri ahụ, Lazarọs bụ otu onye n'ime ndị sooro ya nọdụ na nri ahụ.
3 Mgbe ahụ, Meri weere mmanụ otite dị ọkara lita nke ezigbo naad, mmanụ isi ụtọ
dị oke ọnụahịa, ọ wụkwasara ya Jisọs n'ụkwụ, jirikwa agịrị isi ya hichaa ụkwụ ya.
Nke a mere ka ụlọ ahụ jupụta n'isi ụtọ nke mmanụ otite ahụ.
4 Ma Judas Iskarịọt, otu n'ime ndị na-eso ụzọ ya, onye ahụ ga-arara ya nye, kwuru,
5 "Gịnị mere na-ereghị mmanụ otite a narị denarị atọ,* were ego ya nye ndị ogbenye?"
6 O kwughị nke a n'ihi na ihe banyere ndị ogbenye na-emetụ ya n'obi kama n'ihi na

* **12:5** 12:5 Narị denarị atọ ruru ụgwọ ọnwa onye ọrụ ga-anata n'otu afọ.

ọ bụ onye ohi; dị ka onye na-ejide akpa ego ha, mgbe ụfọdụ, ọ na-amanye aka n’ego
ahụ zubiri ego.
[7] Jisọs sịrị, “Hapụ ya aka, ọ zụtara ya ka ọ na-akwado maka ụbọchị olili m. [8] Unu
nwere ndị ogbenye n’etiti unu mgbe niile, ma mụ na unu agaghị anọ mgbe niile.”
[9] Ma mgbe igwe ndị Juu nụrụ na ọ nọ n’ebe ahụ, ha bịara, ọ bụghị naanị ka ha
hụ ya, kama ka ha hụkwa Lazarọs onye o mere ka o si na ndị nwuru anwụ bilie.
[10] Ya mere, ndịisi nchụaja gbakwara izu igbukwa Lazarọs. [11] N’ihi na ọ bụ n’ihi ya
ka ọtụtụ ndị Juu ji na-ahapụ ha ma na-ekwerekwa na Jisọs.

### *Jisọs abịa na Jerusalem dị ka Eze*

[12] N’echi ya oke igwe mmadụ ahụ ndị bịara mmemme nụrụ na Jisọs na-abịa
Jerusalem. [13] Ha weere igu nkwụ pụọ izute ya na-eti mkpu,
“Hozanna!”

“Onye a gọziri agọzi ka onye ahụ bụ nke na-abịa n’aha Onyenwe anyị!”†

“Ngọzị dịrị eze Izrel!”
[14] Jisọs hụrụ nwa ịnyịnya ibu, nọkwasị n’elu ya, dị ka e dere ya,
[15] “Atụla egwu, gị ada Zayọn!
Lee, eze gị ka ọ na-abịa.
Ọ nọkwasịrị n’elu nwa ịnyịnya ibu.”‡
[16] Na mbụ ndị na-eso ụzọ ya aghọtaghị ihe ndị a niile. Ma mgbe e nyesịrị Jisọs
otuto, ka ha chetara na-edererị ihe ndị a banyere ya, na e mekwara ya rịị ihe ndị a.
[17] Igwe mmadụ ahụ bụ ndị ya na ha nọ mgbe o si n’ili kpọpụta Lazarọs, mee ka o
sị n’ọnwụ bilie, gara n’ihu na-agba ama ya. [18] Ọtụtụ mmadụ pụrụ izute ya n’ihi na
ha nụrụ akụkọ ọrụ ihe ịrịbama niile ọ rụrụ. [19] Ya mere, ndị Farisii sịrịtara onwe ha,
“Unu ahụla na o nweghị ihe unu pụrụ ime, leenụ ka ụwa niile na-eso ya.”

### *Jisọs gbara ama ọnwụ ya*

[20] Ma ụfọdụ ndị Griik so n’ime ndị ahụ bịara ife ofufe n’oge mmemme ahụ. [21] Ha
bịakwutere Filip onye si Betsaida dị na Galili, gwa ya sị, “Nna anyị ukwu, anyị chọrọ
ịhụ Jisọs.” [22] Filip pụrụ gaa gwa Andru, ya na Andru sooro gaa gwa Jisọs.
[23] Jisọs zara sị, “Oge awa ahụ eruola mgbe a ga-enye Nwa nke Mmadụ otuto.
[24] N’ezie, n’ezie, agwa m unu, ọ bụrụ na mkpụrụ ọka wiiti adaghị n’ala nwụọ, ọ
ga-anọ naanị ya. Ma ọ bụrụ na ọ nwụọ, ọ ga-amị ọtụtụ mkpụrụ. [25] Ndị ọbụla hụrụ
ndụ ha n’anya ga-atụfu ya, ebe ndị ọbụla kpọrọ ndụ ha asị n’ụwa a, ga-edebe ya
ruo mgbe ebighị ebi. [26] Onye ọbụla na-ejere m ozi aghaghị iso m; ebe m nọ ka onye
na-ejere m ozi ga-anọkwa. Onye ọbụla na-ejere m ozi ka Nna m ga-asọpụrụ.
[27] “Ugbu a, mkpụrụobi m jupụtara n’ihe mgbu. Gịnịkwa ka m ga-ekwu, Nna,
zọpụta m n’awa nke a? Mba! Ọ bụ n’ihi nke a ka m ji bịa n’oge awa a. [28] Nna,
nye aha gị otuto.”
Mgbe ahụ, otu olu siri n’eluigwe bịa, “Enyela m ya otuto, m ga-enyekwa ya otuto
ọzọ.” [29] Igwe ndị mmadụ guzo n’ebe ahụ, ndị nụrụ ya na-ekwu, “Ọ bụ egbe eluigwe
gbara.” Ndị ọzọ na-asị, “Ọ bụ mmụọ ozi na-agwa ya okwu.”
[30] Jisọs zara ma sị, “Olu a abịaghị n’ihi m kama ọ bịara n’ihi unu. [31] Ugbu a bụ
oge a ga-ekpe ụwa a ikpe. Ugbu a ka a ga-achụpụ onye ahụ na-achị ụwa a. [32] Ma mụ
onwe m, mgbe e si n’ụwa welie m elu, aga m adọta mmadụ niile nye onwe m.” [33] O
kwuru nke a iji gosi ụdị ọnwụ nke ọ gaje ịnwụ.

† **12:13** 12:13 Abụ 118:25,26 ‡ **12:15** 12:15 Zek 9:9

34 Igwe mmadụ ahụ zara ya, "Anyị anụla site n'akwụkwọ iwu na Kraịst ahụ ga-adị
ndụ ruo mgbe ebighị ebi. Ma gịnị mere i ji asị na, 'A ghaghị iweli Nwa nke Mmadụ
elu'? Onye bụ 'Nwa nke mmadụ a'?"
35 Jisọs sịrị ha, "Ìhè ga-enwuru unu naanị nwa oge nta. Jegharịanụ n'ìhè a, ugbu a
unu nwere ya, tupu ọchịchịrị abịakwasị unu. Onye na-ejegharị n'ọchịchịrị amaghị
ebe ọ na-aga. 36 Kwerenụ n'ìhè ahụ ugbu a unu nwere ya ka unu ghọọ ụmụ nke ìhè."
Mgbe Jisọs kwusiri nke a ọ hapụrụ ha pụọ ga zoo onwe ya.

### *Ndị Juu gara n'ihu na-ekweghị ekwe ha*

37 N'agbanyeghị ọrụ ịrịbama niile ọ rụrụ n'etiti ha, ha ekwereghị na ya. 38 Nke a
bụ imezu ihe Aịzaya onye amụma kwuru,
"Onyenwe anyị, onye kweere ozi anyị
ọ bụkwa n'ahụ onye ka e kpugheere ogwe aka Onyenwe anyị?"§
39 Ma ha enweghị ike kwere, n'ihi na Aịzaya kwukwara n'ebe ọzọ, sị,
40 "O meela ka ha kpuo ìsì,
mekwa ka obi ha kpọchie
Ka ha ghara iji anya ha hụ ụzọ
maọbụ jiri obi ha ghọta ihe ọbụla
Ka ha gharakwa ichigharị, ka m gwọọ ha."*
41 Aịzaya kwuru ihe ndị a n'ihi na ọ hụrụ ebube ya, ma kwuo banyere ya.
42 Otu ọ dị, ọtụtụ n'ime ndịisi kweere na ya, ma ha ekwupụtaghị nke a. N'ihi na
ha tụrụ egwu na ndị Farisii ga-achụpụ ha site n'ụlọ ekpere. 43 N'ihi na ha hụrụ otuto
mmadụ n'anya karịa otuto Chineke.
44 Jisọs tiri mkpu sị, "Onye ọbụla kwere na m, ọ bụghị na m ka o kwere, kama ọ
bụ na onye nke zitere m. 45 N'ihi na onye ọbụla hụrụ m ahụla onye nke zitere m.
46 Abịara m n'ime ụwa dị ka ìhè ka onye ọbụla nke kwere na m ghara ịnọ n'ọchịchịrị.
47 "Ma ọ bụrụ na onye ọbụla anụ okwu m ma ju ime ya, ọ bụghị m na-ekpe ya ikpe.
N'ihi na abịara m ịzọpụta ụwa, ọ bụghị ikpe ụwa ikpe. 48 Onye ọbụla jụrụ m ma
jụkwa okwu m, nwere onye ga-ekpe ya ikpe. Okwu niile m kwuru ga-ama ya ikpe
n'ụbọchị ikpeazụ. 49 Okwu ndị a esiteghị n'aka m. Ha sitere n'aka Nna ahụ onye
zitere m ma nyekwa m iwu ihe m ga-ekwu na otu m ga esi kwuo ya. 50 Ama m na
iwu ya bụ ndụ ebighị ebi, n'ihi ya, ihe ọbụla Nna gwara m ka m na-ekwu."

## 13

### *Jisọs asaa ụkwụ ndị na-eso ụzọ ya*

1 Tupu oge Mmemme Ngabiga eruo, Jisọs amatala na oge ọ ga-ahapụ ụwa lakwuru
Nna ya eruola. Ọ hụrụ ndị nke ya nọ n'ụwa n'anya, hụkwa ha n'anya ruo ọgwụgwụ.
2 Mgbe a na-eri nri anyasị, ekwensu etinyelarị ya n'ime obi Judas Iskarịọt, nwa
Saimọn ka ọ rara ya nye. 3 Jisọs matara na Nna enyefeela ya ihe niile n'aka. Ọ maara
na ya si n'ebe Chineke nọ bịa, matakwa na ya ga-alaghachikwuru Chineke. 4 Ya
mere, o sitere n'oche ọ nọkwasịrị bilie ọtọ, yipụ uwe nke elu ya, chiri akwa mmiri
e ji ehicha ahụ kee n'ukwu ya. 5 Ọ wụnyere mmiri n'ime efere ịsa aka, bido ịsa ndị
na-eso ụzọ ya ụkwụ, jirikwa akwa mmiri ahụ o kere n'ukwu ya na-ehicha ụkwụ ha.
6 Ọ bịakwutere Saimọn Pita, onye sịrị ya, "Onyenwe m, ị ga-asa m ụkwụ?"
7 Ma Jisọs zara sị ya, "Ị ghọtaghị ihe m na-eme ugbu a, ma emesịa ị ga-aghọta ya."
8 Pita sịrị ya, "Ị gaghị asaa m ụkwụ ma ọlị."
Jisọs zara ya, "Ọ bụrụ na m asachaghị gị ụkwụ, mụ na gị enweghị oke ọbụla."

§ **12:38** 12:38 Aịz 53:1 * **12:40** 12:40 Aịz 6:10

9 Saimọn Pita sịrị ya, “Onyenwe m, ọ bụghị naanị ụkwụ m ka ị ga-asa, kama saakwa
aka m na isi m.”
10 Jisọs sịrị ya, “Onye ọbụla sara ahụ agaghị asakwa ya ọzọ, ọ bụ naanị ịsa ụkwụ ya
dịrị ya n’ihi na ahụ ya niile dị ọcha. Unu dị ọcha, kama ọ bụghị unu niile.” 11 N’ihi
na ọ maararị onye ahụ ga-arara ya nye. Ya mere o ji sị, “Ọ bụghị unu niile dị ọcha.”
12 Mgbe ọ sachasịrị ha ụkwụ, o yiiri uwe ya, nọdụkwa ala ọzọ, ọ sịrị ha, “Unu
ghọtara ihe m meere unu? 13 Unu na-akpọ m Onyenwe unu na Nna unu ukwu, unu
mere nke ọma n’ihi na nke a ka m bụ. 14 Ebe ọ bụ na mụ onwe m, bụ Nna unu ukwu
na Onyenwe unu sachara unu ụkwụ, unu kwesikwara ịsachakwa ụkwụ ibe unu.
15 Nke a bụ ihe nṅomi m nyere unu, meenụ dị ka mụ onwe m mere unu. 16 N’ezie,
n’ezie, ohu adịghị adị ukwuu karịa nna ya ukwu, maọbụ onye e ziri ozi a karịa onye
ziri ya ozi. 17 Ọ bụrụ na unu a mara ihe ndị a, ngọzị ga-adịrị unu ma unu mee ha.

### *Jisọs agbaa ama maka mgba okpuru ya*

18 “Anaghị m ekwu maka unu niile, amaara m ndị m họpụtara. Ma nke a bụ imezu
ihe e dere n’akwụkwọ nsọ, ‘Onye mụ na ya na-erikọ nri ebiliela megide m.’*
19 “Ana m agwa unu ugbu a tupu ihe ndị a emee, ka unu kwere na mụ bụ ya mgbe ọ
ga-emezu. 20 N’ezie, n’ezie, agwa m unu, onye ọbụla nabatara onye m zitere nabatara
m. Onye ọbụla nabatara m nabatakwara onye zitere m.”
21 Mgbe Jisọs kwusiri ihe ndị a, o nweghị udo n’ime mmụọ ya. Ọ gbara ama sị,
“N’ezie, n’ezie, a sị m unu, na otu onye n’ime unu ga-arara m nye.”
22 Ndị na-eso ụzọ ya lerịtara onwe ha anya na-eche n’ime obi ha onye ọ na-ekwu
maka ya. 23 Otu n’ime ndị na-eso ụzọ ya nke Jisọs hụrụ n’anya dabere ya nso.
24 Saimọn Pita fufeere ya isi, ka ọ, Jụọ ya onye ọ na-ekwu maka ya.
25 Ebe ọ dabere Jisọs nso, ọ sịrị ya, “Onyenwe anyị, onye ka ọ bụ?”
26 Jisọs zara, “Ọ bụ onye ahụ m ga-enye iberibe achịcha a mgbe m sunyere ya
n’ime efere nri.” Mgbe o sunyesịrị achịcha ahụ n’ime efere ahụ, o nyere ya Judas
nwa Saimọn Iskarịọt. 27 Mgbe ọ narasịrị iberibe achịcha ahụ, ekwensu bara n’ime
ya.
Jisọs sịrị ya, “Ihe ọbụla ị chọrọ ime, mee ya ngwangwa.” 28 Ma ọ dịghị onye ọbụla
so nọrọ n’oche nri ghọtara ihe mere o ji gwa ya otu a. 29 N’ihi na ụfọdụ na-eche, ebe
Judas ji akpa ego ha, Jisọs na-asị ya ka ọ gaa zụta ihe ndị dị mkpa maka mmemme,
maọbụ ka ọ gaa nye ndị ogbenye ihe. 30 Mgbe ọ natachara iberibe achịcha ahụ, ọ
pụrụ na-atụfughị oge, ọchịchịrị agbaala.

### *Jisọs agbaa ama na Pita ga-agọnarị ya*

31 Mgbe ọ pụrụ, Jisọs sịrị, “Ugbu a ka a na-enye Nwa nke Mmadụ otuto, a na-
enyekwa Chineke otuto n’ime ya. 32 Ọ bụrụ na e nye Chineke otuto n’ime ya, Chineke
ga-enyekwa Ọkpara ya otuto n’ime onwe ya, ọ ga-enyekwa ya otuto ahụ ngwangwa.
33 “Ụmụntakịrị m, enwere m oge ntakịrị nke mụ na unu ga-anọ. Unu ga-achọ m,
ma dị ka m gwara ndị Juu ka m na-agwa unu ugbu a. Ebe m na-aga unu enweghị ike
ịbịa ya.
34 “Ana m enye unu iwu ọhụrụ: Hụrịtanụ onwe unu n’anya. Dị ka m hụrụ unu
n’anya, otu a ka unu ga-esi hụrịta onwe unu n’anya. 35 Ọ bụrụ na unu ahụrịta onwe
unu n’anya, otu a ka mmadụ niile ga-esi mata na unu bụ ndị na-eso ụzọ m.”
36 Saimọn Pita sịrị ya, “Onyenwe anyị ebee ka ị na-aga?”
Jisọs zaghachiri ya, “Ebe m na-aga, i nweghị ike iso m gaa ya ugbu a. Ma ị ga-abịa
ma emesịa.”
37 Pita sịrị ya, “Onyenwe anyị, gịnị mere na m apụghị isoro gị ugbu a? Aga m
atọgbọ ndụ m n’ihi gị.”

---

* **13:18** 13:18 Abụ 41:9

38 Jisọs zaghachiri, “I jikeere ịtọgbọ ndụ gị n’ihi m? N’ezie, n’ezie, asị m gị, tupu
oke ọkụkụ akwaa akwa, ị ga-agọnarị m ugboro atọ.”

# 14

*Jisọs akasịe ha obi*

1 “Ka obi ghara ịlọ unu mmiri. Kwerenụ na Chineke; kwerekwanụ na m. 2 N’ụlọ
Nna m, e nwere ọtụtụ ebe obibi. Ọ bụrụ na o sighị otu a dịrị, agaara m agwa unu na
m na-aga kwadoro unu ebe obibi? 3 Ọ bụrụ na m agaa dozichara unu ebe obibi, aga
m alọghachi bịa kpọrọ unu, ka ebe m nọ bụrụkwa ebe unu ga-anọ. 4 Unu maara ụzọ
ebe m na-aga.”

*Jisọs bụ ụzọ*

5 Tọmọs sịrị ya, “Onyenwe anyị, anyị amaghị ebe ị na-aga, olee otu anyị ga-esi mata
ụzọ ya?”
6 Jisọs sịrị ya, “Mụ onwe m bụ ụzọ, na eziokwu, na ndụ. O nweghị onye na-
abịakwute Nna m ma ọ bụghị site na m. 7 Ọ bụrụ na unu maara onye m bụ, unu
gaara amatakwa Nna m. Site ugbu a, unu amatala ya. Ma hụkwa ya.”
8 Filip sịrị ya, “Onyenwe anyị, zi anyị Nna ahụ, afọ ga-ejukwa anyị.”
9 Jisọs sịrị ya, “Ọtụtụ oge ndị a mụ na unu nọrọ ọ bụ na ị matabeghị onye m bụ,
Filip? Onye ọbụla hụrụ m ahụla Nna. Olee otu i si asị, ‘zi anyị Nna ahụ?’ 10 Ọ bụ na
i kweghị na m nọ n’ime Nna, na Nna nọkwa n’ime m? Okwu niile m na-agwa unu
esitekwaghị n’ebe m nọ pụta, kama ọ bụ Nna bi n’ime m na-arụ ọrụ ya. 11 Kwere ihe
m kwuru na anọ m n’ime Nna, na Nna nọkwa n’ime m. Ma ọ bụghị otu a, kwerenụ
n’ihi ọrụ ebube ndị a. 12 N’ezie, n’ezie, agwa m unu, onye ọbụla kwere na m ga-arụ
ọrụ ndị m rụrụ, rụọkwa ọrụ karịrị ndị a, n’ihi na m na-alakwuru Nna m. 13 Ihe ọbụla
unu ga-arịọ site n’aha m, aga m enye unu ya, ka e nwe ike nye Nna ahụ otuto site
n’Ọkpara ya. 14 Ihe ọbụla unu rịọrọ n’aha m, aga m eme ya.

*Nkwa izite Mmụọ Nsọ*

15 “Ọ bụrụ na unu hụrụ m n’anya unu ga-edebe iwu m niile. 16 Aga m arịọ Nna m,
ọ ga-enye unu Onye Nkasiobi ọzọ,*onye ga-enyere unu aka ma nọnyekwara unu ruo
mgbe niile ebighị ebi. 17 Onye bụ Mmụọ nke eziokwu. Ndị bi n’ụwa agaghị anabata
ya, n’ihi na ha adịghị ahụ ya anya, ha amakwaghị ya. Ma unu maara ya n’ihi na unu
na ya nọ, o bikwa n’ime unu. 18 Agaghị m ahapụ unu dị ka ndị na-enweghị nne na
nna. Aga m abịakwute unu. 19 Mgbe na-adịghị anya, ụwa agaghị ahụkwa m anya.
Ma unu ga-ahụ m anya. N’ihi na m dị ndụ, unu ga-adịkwa ndụ. 20 N’ụbọchị ahụ, unu
ga-amata na m nọ n’ime Nna m na unu nọ n’ime m, na mụ onwe m nọkwa n’ime
unu. 21 Onye ọbụla nabatara iwu m ma na-edebekwa ha bụ onye hụrụ m n’anya.
Onye hụrụ m n’anya ka Nna m ga-ahụ n’anya. Aga m ahụkwa ya n’anya gosikwa ya
onwe m.”
22 Judas (ọ bụghị Iskarịọt) sịrị ya, “Onyenwe anyị, olee otu ị ga-esi gosi anyị onwe
gị ma hapụ igosi ụwa onwe gị?”
23 Jisọs zara sị ya, “Onye ọbụla hụrụ m n’anya, ga-edebe okwu m. Nna m ga-ahụkwa
ya n’anya. Mụ na Nna m ga-abịakwa n’ebe onye ahụ nọ soro ya biri. 24 Onye na-
ahụghị m n’anya agaghị edebe okwu m. Okwu ndị a niile unu nụrụ abụghị nke m.
Ha bụ nke Nna ahụ, onye zitere m.
25 “Agwala m unu ihe ndị a niile ugbu a mụ na unu nọ. 26 Ma Onye Nkasiobi ahụ bụ
Mmụọ Nsọ, onye Nna m ga-ezite n’aha m, ga-akụziri unu ihe niile, ọ ga-echetakwara
unu ihe niile m gwara unu. 27 Udo ka m na-ahapụrụ unu. Udo m ka m na-enyekwa

* **14:16** 14:16 Maọbụ, Onye Inyeaka

unu. Ọ bụghị dị ka ụwa si enye ka m na-enye unu. Unu ekwela ka obi lọọ unu mmiri,
ka ụjọ hapụkwa ịtụ unu.
28 “Unu anụla na m gwara unu, ‘Ana m ala, ma lọghachikwutekwa unu.’ Ọ bụrụ
na unu hụrụ m n’anya, unu gaara aṅụrị ọṅụ na m na-alakwuru Nna, n’ihi na Nna dị
ukwuu karịa m. 29 Ugbu a, agwala m unu ihe a tupu o mezuo, ka ọ ga-abụ mgbe o
mezuru, unu enwee ike kwere. 30 Agaghị m agwa unu ọtụtụ okwu ọzọ n’ihi na eze
na-achị ụwa a na-abịa. O nwekwaghị ike ọbụla n’ebe m nọ. 31 Ana m eme dịka Nna
m nyere m n’iwu, ka ụwa mara na m hụrụ Nna m n’anya.
“Bilienụ ugbu a ka anyị si ebe a pụọ.

# 15

*Ezi osisi vaịnị na alaka ya*

1 “Mụ onwe m bụ ezigbo osisi vaịnị ahụ. Nna m bụkwa onye ọrụ ubi. 2 Ọ na-
egbuda alaka ọbụla dị n’ime m nke na-adịghị amị mkpụrụ. Ma alaka ọbụla na-amị
mkpụrụ ka ọ na-egbucha, ka o nwee ike mịa mkpụrụ dị ọtụtụ. 3 Ugbu a, e meela
ka unu dịrị ọcha n’ihi okwu m gwara unu. 4 Nọgidenụ n’ime m, ka mụ onwe m
nọgidekwa n’ime unu. Dịka alaka ọbụla apụghị ịmị mkpụrụ n’onwe ya ma ọ bụrụ
na ọ nọgideghị n’osisi vaịnị. Otu a, unu apụghịkwa ịmị mkpụrụ ma ọ bụrụ na unu
anọgideghị n’ime m.
5 “Mụ onwe m bụ osisi vaịnị ahụ; unu bụkwa alaka ya. Onye ọbụla na-anọgide
n’ime m, nke mụ onwe m na-anọgidekwa n’ime ya, na-amị ọtụtụ mkpụrụ. N’ihi na
ewezuga m, unu enweghị ike ime ihe ọbụla. 6 Onye ọbụla na-adịghị anọgide n’ime
m dị ka alaka e gbuturu, tụpụ ya, ọ kpọnwụọ. A ga-achịkọta ya, chịnye ya n’ọkụ, o
repịa. 7 Ọ bụrụ na unu anọgide n’ime m, okwu m anọgidekwa n’ime unu, rịọọnụ
ihe ọbụla unu chọrọ, a ga-emere unu ya. 8 Nke a ga-abụrụ Nna m otuto na unu mịrị
ọtụtụ mkpụrụ hie nne, ọ na-egosikwa na unu bụ ndị na-eso ụzọ m.
9 “Dị ka Nna sị hụ m n’anya, otu a ka m sị hụkwa unu n’anya. Ya mere, nọgidenụ
n’ime ịhụnanya m. 10 Unu ga-anọgide n’ịhụnanya m ma ọ bụrụ na unu edebe iwu m.
Dị ka m debere iwu Nna m ma nọgidekwa n’ịhụnanya ya. 11 Agwala m unu ihe ndị
a ka ọṅụ m dịrị n’ime unu ka ọṅụ unu zukwaa oke. 12 Nke a bụkwa iwu m, ka unu
hụrịta onwe unu n’anya dị ka m siri hụ unu n’anya. 13 Ọ dịghị onye ọbụla nwere
ịhụnanya karịrị nke a na mmadụ tọgbọrọ ndụ ya n’ihi ndị enyi ya. 14 Unu onwe unu
bụkwa ndị enyi m ma ọ bụrụ na unu edebe ihe m nyere n’iwu. 15 Anaghị m akpọkwa
unu ndị ohu ọzọ. N’ihi na ohu adịghị amatazu ihe niile onyenwe ya na-eme. Ma ana
m akpọ unu ndị enyi m n’ihi na agwala m unu ihe niile m nụrụ n’ọnụ Nna m. 16 Ọ
bụkwaghị unu onwe unu họọrọ m. Ọ bụ m họọrọ unu, wepụtakwa unu iche ka unu
gaa mịa ọtụtụ mkpụrụ, mkpụrụ nke ga-adịgidekwa. Ya mere, Nna m ga-enye unu
ihe ọbụla unu ga-arịọ n’aha m. 17 Ihe ndị a ka m na-enye unu n’iwu, hụrịtanụ onwe
unu n’anya.

*Ụwa kpọrọ ha asị*

18 “Ọ bụrụ na ụwa akpọọ unu asị, chetanụ na o buru ụzọ kpọọ m asị. 19 A sị na
unu bụ nke ụwa, ụwa ga-ahụ unu n’anya dịka ndị nke ya. Ma otu ọ dị unu abụghị
nke ụwa. Kama, esi m n’ime ụwa họrọ unu. Ọ bụkwa n’ihi ya ka ụwa ji akpọ unu
asị. 20 Chetakwanụ ihe m gwara unu, ‘Ohu adịghị adị ukwuu karịa Onyenwe ya.’*Ya
mere, ebe ha kpagburu m, ha ga-akpagbukwa unu. Ọ bụrụ na ha debere okwu m, ha
ga-edebekwa nke unu. 21 Ee, ha ga-eme unu ihe niile ndị a n’ihi aha m, na n’ihi na
ha amaghị onye ahụ zitere m. 22 Ọ bụrụ na abịaghị m, gwa ha okwu, ikpe mmehie
agaraghị ama ha. Ma ugbu a, ha enweghị ngọpụ ọbụla banyere mmehie ha. 23 Onye

* **15:20** 15:20 Jọn 13:16

ọbụla kpọrọ m asị kpọkwara Nna m asị. 24 A sị na ọrụ niile m rụrụ n'etiti ha akarịghị
ọrụ nke onye ọbụla ọzọ rụrụ, ha agaraghị abụ ndị ikpe mmehie mara. Ma ugbu a
ha ahụzuola ọrụ ebube ndị a niile, ma ha nọgidekwara na-akpọ mụ na Nna m asị.
25 Nke a bụ imezu ihe e dere n'akwụkwọ iwu ha. 'Ha kpọrọ m asị na-enweghị ihe m
mere.'†

*Ọrụ Mmụọ nsọ na-arụ*

26 "Mgbe Onye Ndụmọdụ‡ahụ ga-abịa, onye m ga-ezitere unu site n'aka Nna, bụ
Mmụọ eziokwu ahụ sitere na Nna pụta, ọ ga-agba ama banyere m. 27 Ma unu onwe
unu aghaghị ịgba ama, n'ihi na mụ na unu anọọla site na mmalite.

## 16

1 "Ihe ndị a niile ka m gwara unu ka unu ghara ịda. 2 Ha ga-esite n'ụlọ ekpere
ha chụpụ unu. N'ezie, oge na-abịa mgbe onye ọbụla ga-egbu unu ga-echekwa na ọ
na-efe Chineke mgbe ha na-eme nke a. 3 Ha ga-eme ihe ndị a n'ihi na ha amaghị Nna
maọbụ m. 4 Ana m agwa unu ihe ndị a ka ọ ga-abụ na mgbe oge ga-eru, unu echeta
na m gwara unu. Agwaghị m unu ihe ndị a na mbụ n'ihi na mụ na unu nọ mgbe
ahụ. 5 Ma ugbu a, ana m alaghachikwuru onye ahụ zitere m. Ma ọ dịghị onye ọbụla
n'etiti unu jụrụ m, 'Olee ebe ị na-aga?' 6 Ma n'ihi na m gwara unu ihe ndị a, obi unu
ejupụtala na mwute. 7 N'agbanyeghị nke a, aga m agwa unu eziokwu, ọ bụ maka
ọdịmma unu ka m ji ala. Ọ bụrụ na m alaghị, Onye Ndụmọdụ ahụ agaghị abịa. Ọ
bụrụ na m laa, aga m ezitere unu ya. 8 Mgbe ọ bịara, ọ ga-eme ka ụwa mata ezughị
oke nke nghọta ya banyere mmehie, na ezi omume na ikpe, 9 maka mmehie n'ihi na
ha ekwenyeghị na m; 10 ma gbasara ezi omume, n'ihi na ana m alakwuru Nna, ebe
unu na-apụghị ịhụ m ọzọ, 11 maka ikpe, n'ihi na e kpeela onyeisi ụwa a ikpe.
12 "Enwere m ọtụtụ ihe ọzọ m ga-agwa unu. Ma ugbu a, unu agaghị anabatalị ha.
13 Ma mgbe Mmụọ eziokwu ahụ bịara, ọ ga-eduba unu n'eziokwu niile. Ọ gaghị ekwu
ihe banyere onwe ya, kama ọ bụ ihe niile ọ nụrụ ka ọ ga-ekwu. Ọ ga-ezikwa unu ihe
niile gaje ịbịa. 14 Ọ ga-enye m otuto, n'ihi na ọ ga-esite n'aka m nata ihe ọ ga-akọrọ
unu. 15 Ihe niile Nna nwere bụ nke m. Ọ bụ ya mere m ji sị, na ọ ga-ewere site n'ihe
bụ nkem, kọwara ya unu.

*Mwute nke ndị na-eso ụzọ ya ga-aghọ ọṅụ*

16 "Ọ fọdụrụ nwantakịrị oge unu agaghị ahụkwa m. Ma mgbe nwantịntị oge
gasịkwara, unu ga-ahụkwa m anya ọzọ."
17 Ụfọdụ ndị na-eso ụzọ ya sịrịtara onwe ha, "Gịnị ka o bu n'uche mgbe ọ na-
asị, 'Nwa oge nta unu agaghị ahụkwa m ọzọ, ma mgbe nwa oge gasịkwara unu
ga-ahụkwa m,' na 'N'ihi na ana m alakwuru Nna'?" 18 Ha na-asị, "Gịnị ka okwu a
pụtara bụ 'nwa oge nta'? Anyị aghọtaghị ihe ọ na-ekwu."
19 Jisọs matara na ha chọrọ ịjụ ya ihe banyere nke a, n'ihi ya ọ sịrị ha, "Unu na-
ajụrịta onwe unu ihe okwu m pụtara mgbe m sịrị, 'Na nwa oge nta unu agaghị
ahụkwa m ọzọ, ma nwa mgbe nta unu ga-ahụkwa m'? 20 N'ezie, n'ezie, agwa m unu,
unu ga-akwa akwa ma nwekwa obi mwute, ma ụwa ga-aṅụrị ọṅụ. Ma iru ụjụ unu
ga-aghọrọ unu ọṅụ. 21 Mgbe ime na-eme nwanyị, ọ na-anọ n'ọnọdụ ihe mgbu. Mgbe
ọ mụsịrị nwa ya, ọ dịghị echetakwa ihe mgbu ya ọzọ. N'ihi ọṅụ na a mụpụtala nwa
n'elu ụwa. 22 Unu nọ n'ọnọdụ iru ụjụ ugbu a, ma aga m ahụ unu anya ọzọ, obi unu
ga-ejupụta n'ọṅụ. Mmadụ ọbụla apụghịkwa ịnapụ unu ọṅụ unu. 23 Ma n'ụbọchị
ahụ, unu agakwaghị arịọ m ihe ọbụla. N'ezie, n'ezie, agwa m unu, ihe ọbụla unu
ga-arịọ Nna m n'aha m, ọ ga-enye unu. 24 Ruo ugbu a, ọ dịbeghị ihe unu rịọrọ n'aha
m. Rịọọnụ, unu ga-arịọta, ka ọṅụ unu zukwaa oke.

† **15:25** 15:25 Abụ 35:19; 69:4 ‡ **15:26** 15:26 Onye inyeaka maọbụ onye nkasiobi.

25 “Eji m ilu na-agwa unu okwu ugbu a, ma oge na-abịa mgbe m na-agaghị ejikwa
ilu gwa unu okwu. Mgbe ahụ ka m ga-akọwara unu niile ihe banyere Nna m n’ụzọ
unu ga-aghọta ya. 26 N’ụbọchị ahụ, unu ga-arịọ ihe n’aha m. Asịghị m unu na m
ga-arịọ Nna ihe n’ihi unu. 27 N’ihi na Nna m n’onwe ya hụrụ unu n’anya, n’ihi na
unu hụrụ m n’anya kwerekwa na m si n’ebe Chineke nọ bịa. 28 Esi m n’ebe Nna nọ
pụta, bịa n’ime ụwa. Ana m ahapụkwa ụwa ịlaghachikwuru Nna.”

29 Ndị na-eso ụzọ ya sịrị, “Lee, ugbu a ka okwu gị doro anya. Ọ bụkwaghị ilu ka i
na-atụ. 30 Ugbu a ka o doro anyị anya na ị maara ihe niile. Ọ bakwaghị uru ka onye
ọbụla jụọ gị ihe ọbụla. N’ihi nke a, anyị kwere na i si n’ebe Chineke nọ bịa.”

31 Jisọs zara ha, “Unu ekwerela ugbu a? 32 Lee! Oge na-abịa, oge ahụ eruola, mgbe
unu ga-agbasacha. Onye ọbụla n’ụlọ nke ya. Mgbe ahụ, unu ga-ahapụ naanị m, ma
ọ bụghị naanị m nọ n’ihi na mụ na Nna m nọ.

33 “Agwala m unu ihe ndị a niile ka unu nwee udo n’ime m. N’ime ụwa, unu
ga-enwe nsogbu. Ma ka obi sie unu ike, n’ihi na emeriela m ụwa.”

# 17

*Ekpere Jisọs kpeere Onyenwe ya*

1 Mgbe Jisọs kwusiri okwu ndị a, o leliri anya n’eluigwe sị,

“Nna, oge ahụ a kara aka eruola, nye Ọkpara gị otuto, ka Ọkpara gị nyekwa gị
otuto. 2 I nyela ya ikike n’ebe mmadụ niile nọ, na ike inye ndị niile i nyere ya ndụ
ebighị ebi. 3 Nke a bụkwa ndụ ebighị ebi ahụ. Ka ha mata na naanị gị bụ Chineke
n’ezie, matakwa Jisọs Kraịst onye ahụ i zitere n’ụwa. 4 Enyere m gị otuto n’ụwa
site n’ịrụzu ọrụ niile ị nyere m ka m rụọ. 5 Ma ugbu a, Nna, nye m otuto n’ihu gị,
ụdị otuto ahụ m nwere n’ihu gị tupu e kee ụwa.

*Ekpere Jisọs kpeere ndị na-eso ụzọ ya*

6 “Emere m ka ndị ahụ i siri n’ụwa kponye m mara aha gị. Ha bụ ndị nke gị, i
nyere m ha, ha debekwara okwu gị. 7 Ugbu a, ha amarala na ihe niile i nyere m si
n’aka gị bịa. 8 Ma ugbu a, enyela m ha okwu ahụ i nyere m, ha nabatakwara ya,
marakwa n’eziokwu na-esi m n’ebe ị nọ bịa. Ha kwenyekwara na ọ bụ gị zitere
m. 9 Ana m ekpere ha ekpere, ọ bụghị n’ihi ụwa ka m na-ekpe ekpere. Kama ana
m ekpe ekpere banyere ndị ahụ i nyere m, n’ihi na ha bụkwa ndị nke gị. 10 Ihe
niile m nwere bụ nke gị, ihe niile i nwere bụkwa nke m. E sitere na ha mee ka
otuto m pụta ìhè. 11 Ugbu a, anọghịkwa n’ime ụwa, ma ha ka nọ n’ime ụwa, ana
m alaghachikwute gị. Ya mere, Nna dị nsọ, chebe ha nke ọma site n’ike nke aha gị,
bụ aha nke ahụ i nyere m, ka ha bụrụ otu dịka anyị onwe anyị si bụrụ otu. 12 Mgbe
mụ na ha nọ n’ụwa, echebere m ha site n’aha gị nke i nyere m. Echebekwara m
ha, o nwekwaghị onye ọbụla n’ime ha lara n’iyi, karịakwa onye ahụ bụ nwa nke
ịla n’iyi, ka e mezuo ihe akwụkwọ nsọ kwuru.

13 “Ma ugbu a, ana m alọghachikwute gị, ma ana m ekwu ihe ndị a n’ụwa ugbu
a ka ha nwee n’ọṅụ m, n’ebe o zuruoke n’ime ha. 14 Enyela m ha okwu gị. Ma
n’ihi ya, ụwa akpọọla ha asị. N’ihi na ha abụghị ndị nke ụwa dị ka mụ onwe m na-
abụghị onye nke ụwa. 15 Ekpeghị m ekpere ka iwepụ ha n’ụwa, kama ka ịnapụta
ha site n’aka ajọ onye ahụ. 16 Ha onwe ha abụghị ndị nke ụwa dị ka mụ onwe m
na-abụkwaghị onye nke ụwa. 17 Were eziokwu doo ha nsọ, okwu gị bụ eziokwu.
18 Dị ka i siri zite m n’ụwa, otu a ka m na-ezipụkwa ha n’ụwa. 19 Ọ bụkwa n’ihi ha
ka m jiri debe onwe m nsọ, ka ha onwe ha bụrụkwa ndị e doro nsọ n’eziokwu.

*Ekpere Jisọs maka ndị niile kwere ekwe*

20 “Ekpeghị m ekpere a n’ihi ndị a naanị. Kama ana m ekpekwa ekpere a n’ihi
ndị niile ga-ekwere na mụ, site n’okwu ha. 21 Ka ha niile bụrụ otu, Nna, dị ka ị nọ
n’ime m mụ a nọrọ n’ime gị. Ka ha nọrọkwa n’ime anyị ka ụwa kwere na ọ bụ gị
zitere m. 22 Enyere m ha otuto nke i nyere m, ka ha bụrụ otu dị ka anyị onwe anyị
si bụrụ otu; 23 Mụ onwe m n’ime ha, gị onwe gị n’ime m. Ka e mee ka ha bụrụ otu
n’ụzọ zuruoke, ka ụwa matakwa na ọ bụ gị zitere m, na ị hụkwara ha n’anya dị
ka ị si hụ m n’anya.
24 “Nna, achọrọ m ka ndị niile i nyere m soro m nọrọ ebe m nọ. Ka ha hụ otuto
m nke i nyere m n’ihi na ị hụrụ m n’anya tupu atọọ ntọala nke ụwa.
25 “Nna onye ezi omume, ụwa amaghị gị. Ma amaara m gị. Ndị a matakwara na
ọ bụ gị zitere m. 26 Emekwara m ka ha mara aha gị. Aga m agakwa n’ihu ime ka
ha mara ya. Ka ịhụnanya ahụ i nwere n’ebe m nọ dịgide n’ime ha, ka mụ onwe
m nọgidekwa n’ime ha.”

# 18

### *Ha jidere Jisọs*

1 Mgbe Jisọs kwusiri okwu ndị a, ya na ndị na-eso ụzọ ya rịdara ndagwurugwu
iyi Kidrọn rigorokwa n’ofe nke ọzọ, ebe e nwere otu ogige, ya na ndị na-eso ụzọ ya
banyere n’ime ya.
2 Judas, onye rara ya nye matakwara ebe ahụ. N’ihi na Jisọs na ndị na-eso ụzọ ya
na-anọ n’ebe ahụ ọtụtụ oge. 3 Ya mere, Judas duuru otu ndị agha, na ụfọdụ ndị ozi
sitere n’etiti ndịisi nchụaja na ndị Farisii bịa n’ebe ahụ. Ha chịkwa ọwaọkụ, oriọna
na ngwa agha.
4 Ebe Jisọs maara ihe niile na-akwado ịbịakwasị ya, ọ pụtara sị ha, “Onye ka unu
na-achọ?”
5 Ha zaghachiri ya, “Ọ bụ Jisọs onye Nazaret.”
Ọ sịrị ha, “Ọ bụ m” (Judas onye ahụ rara ya nye so ha guzo n’ebe ahụ.) 6 Mgbe
Jisọs gwara ha, “Ọ bụ m,” ha laghachiri azụ, daa n’ala.
7 Ọzọ ọ jụkwara ha, “Onye ka unu na-achọ?”
Ha sịrị, “Ọ bụ Jisọs onye Nazaret.”
8 Jisọs zara, “Agwara m unu na Ọ bụ m. Ọ bụrụ na unu na-achọ m, hapụnụ ndị a
ka ha laa.” 9 Nke a bụ iji mezuo okwu ahụ o kwuru na mbụ, “Etufughị m onye ọbụla
n’ime ndị ahụ i nyere m.”*
10 Ya mere Saimọn Pita, onye ji mma agha, mịpụtara ya, gbuo ohu onyeisi nchụaja,
gbupụ ntị aka nri ya. Aha ohu ahụ bụ Malkus.
11 Ma Jisọs gwara Pita, “Mịghachi mma agha gị n’ọbọ ya! Ọ bụ na mụ agaghị aṅụ
site n’iko ahụ Nna m nyere m ka m ṅụọ?”

### *A kpụrụ Jisọs gaa na nke Anas*

12 Ya mere ndị agha ahụ na ọchịagha ha, na ndị na-ejere ndị Juu ozi, jidere Jisọs
kee ya agbụ. 13 Ha buru ụzọ duru ya jekwuru Anas, onye bụ nna nwunye Kaịfas.
Onye bụ onyeisi nchụaja n’afọ ahụ. 14 Kaịfas bụkwa onye ahụ dụrụ ndị ndu ndị Juu
ọdụ, sị na ọ ka mma ka otu onye nwụọ n’ihi mmadụ niile.

### *Ngọpụ mbụ nke Pita*

15 Saimọn Pita na otu onye ọzọ na-eso ụzọ ya sooro Jisọs. N’ihi na onye nke ahụ
na-eso ụzọ ya bụ onye onyeisi nchụaja maara nke ọma, o sooro Jisọs banye n’obi
onyeisi nchụaja. 16 Ma Pita na-eguzo n’ezi n’ọnụ ụzọ. Onye ọzọ ahụ na-eso ụzọ ya,
nke onyeisi nchụaja maara nke ọma, pụrụ n’ezi gwa nwaagbọghọ ahụ na-eche ọnụ
ụzọ okwu, ma kpọbata Pita.

---

* **18:9** 18:9 Jọn 6:39

17 Nwaagbọghọ ahụ sịrị Pita, "Ọ bụ na ị bụghị otu n'ime ndị na-eso ụzọ nwoke a?"
Pita sịrị, "Mba! Abụghị m."
18 Ndị ohu na ndị nche kwanyere ọkụ n'ihi na oyi na-atụ. Ha guzoro n'ebe ahụ
na-anya ọkụ. Pita soro ha guzo na-anyakwa ọkụ.

*Onyeisi nchụaja ajụọ Jisọs ajụjụ*

19 N'oge ahụ onyeisi nchụaja ahụ jụrụ Jisọs banyere ndị na-eso ụzọ ya, na ozizi ya.
20 Jisọs zara ya, "N'ihu ọha mmadụ ka m kwuru okwu niile m kwuru. A kuziri m
ihe n'ime ụlọ ekpere na n'ime ụlọnsọ ukwu ebe ndị Juu na-ezukọ. Ekwukwaghị m
ihe ọbụla na nzuzo. 21 Gịnị mere i ji ajụ m? Jụọ ndị niile gere m ntị! Ha makwaara
ihe niile m kwuru."
22 Mgbe o kwuru nke a, otu onye n'ime ndị na-eje ozi guzo n'akụkụ ya, mara Jisọs
ụra n'ihu, sị, "Ọ bụ otu a ka ị si aza onyeisi nchụaja ajụjụ?"
23 Jisọs zara ya, "Ọ bụrụ na ọ dị ihe ọjọọ m kwuru, gbaa ama megide okwu ọjọọ dị
otu a, ma ọ bụrụ na m kwuru eziokwu, gịnị mere i ji ama m ụra." 24 Ya mere, Anas
kere ya agbụ zigara ya Kaịfas onyeisi nchụaja.

*Pita agọnarị Jisọs nke ugboro abụọ na nke atọ*

25 Ma dịka Saimọn Pita ka guzo n'ebe ahụ na-anya ọkụ, ha sịrị ya, "Ọ bụ na ị bụghị
otu onye n'ime ndị na-eso ụzọ ya?"
Ma ọ gọrọ agọ sị, "Abụghị m ya."
26 Otu n'ime ndị ohu onyeisi nchụaja, bụ onye ikwu nwoke ahụ Pita bipụrụ ntị,
sịrị, "Ọ bụ na m ahụghị gị na ya n'ime ogige ahụ?" 27 Ma Pita gọkwara agọ ọzọ.
N'otu mgbe ahụ oke ọkụkụ kwara akwa.

*Jisọs n'ihu Pailet*

28 Mgbe ahụ, ha sitere n'ụlọ Kaịfas duru Jisọs gaa n'ụlọeze Pailet. Ọ bụkwa n'isi
ụtụtụ, ma ha onwe ha abanyeghị n'ime ụlọeze ahụ n'ihi na ha achọghị imerụ onwe
ha, ka ha nwee ike isoro rie nri na Mmemme Ngabiga. 29 Pailet gakwuru ha n'ezi sị,
"Gịnị bụ ebubo unu na-ebo nwoke a?"
30 Ha zara ma sị ya, "Ọ bụrụ na onye a abụghị onye arụrụala, anyị agaraghị
akpọtara gị ya."
31 Pailet sịrị, "Durunụ ya pụọ kpee ya ikpe n'onwe unu dị ka iwu unu si dị."
Ndị Juu sịrị ya, "Ma anyị enweghị ikike igbu onye o bụla." 32 Nke a mere iji mezuo
okwu ahụ Jisọs kwuru banyere ụdị ọnwụ ọ gaje ịnwụ.
33 Mgbe ahụ Pailet baghachiri n'ime ụlọeze ahụ, zie ozi ka a kpọọrọ ya Jisọs. Ọ
jụrụ ya, "Ị bụ eze ndị Juu?"
34 Jisọs zara, "Ị na-ajụ nke a n'onwe gị ka ọ bụ ihe ndị ọzọ gwara gị banyere m?"
35 Pailet zara, "Abụ m onye Juu? Ọ bụ ndị ala gị na ndịisi nchụaja unu kpọtaara m
gị. Gịnị ka i mere?"
36 Jisọs zara, "Alaeze m abụghị nke ụwa a. A sị na alaeze m bụ nke ụwa a, ndị na-
ejere m ozi gaara ịlụrụ m ọgụ iji gbochie m ịdaba n'aka ndị Juu. Ma ugbu a, alaeze
m abụghị nke ụwa a."
37 Pailet sịrị ya, "Ya bụ na ị bụ eze?"
Jisọs zara, "Gị onwe gị kwuru na m bụ eze. Amụrụ m n'ihi nke a, ọ bụkwa n'ihi nke
a ka m ji bi a n'ụwa ịgba ama banyere eziokwu. Onye ọbụla hụrụ eziokwu n'anya
na-ege m ntị."
38 Pailet sịrị ya, "Gịnị bụ eziokwu?" Mgbe o kwuchara nke a, ọ pụrụ jekwuuru ndị
Juu ọzọ sị ha, "Ọ dịghị ihe ọbụla m chọpụtara megidere ya. 39 Ma ọ bụ omenaala
unu, na m ga-ahapụrụ unu otu onye mkpọrọ n'oge Mmemme Ngabiga. Unu chọrọ ka
m hapụrụ unu 'eze ndị Juu'?"

40 Ha tiri mkpu ọzọ sị, “Ọ bụghị nwoke a, ma hapụrụ anyị Barabas.” Barabas bụ
onye abalị dị egwu.

# 19

*I ma Jisọs ikpe*

1 Mgbe ahụ, Pailet kpụụrụ Jisọs, a pịa ya ihe. 2 Ndị agha kpara okpueze nke e
ji ogwu mee, kpukwasị ya n’isi, yinyekwa ya uwe mwụda na-acha odo odo. 3 Ha
bịakwutere ya ọtụtụ mgbe na-asị, “Ekele, gị Eze ndị Juu!” Ha na-amakwa ya ụra
n’ihu.
4 Pailet pụkwara n’ezi ọzọ sị ha, “Lee, ana m akpọpụtara unu ya, ka unu mara na
achọpụtaghị m ihe ọjọọ ọbụla o mere.” 5 Mgbe Jisọs yi okpu ogwu na uwe odo odo
pụta, Pailet sịrị ha, “Lekwanụ nwoke ahụ!”
6 Ngwangwa, ndịisi nchụaja na ndị nche hụrụ ya, ha tiri mkpu sị, “Kpọgide ya
n’obe! Kpọgide ya n’obe!”
Pailet sịrị ha, “Kpọrọnụ ya kpọgbuo ya n’onwe unu. Achọpụtaghị m ihe ọjọọ ọbụla
o mere.”
7 Ndị Juu zara ya, “Anyị nwere iwu, dị ka iwu ahụ siri dị, ihe kwesiri ya bụ ọnwụ,
n’ihi na ọ kpọrọ onwe ya Ọkpara Chineke.”
8 Mgbe Pailet nụrụ nke a, oke egwu tụrụ ya karịa. 9 Ọ laghachiri azụ n’ime ụlọeze
ahụ, jụọ Jisọs, “Olee ebe i siri bịa?” Ma Jisọs azaghị ya ihe ọbụla. 10 Pailet sịrị ya, “Ị
na-agba m nkịtị? Ọ bụ na ị maghị na m nwere ike ịkpọgide gị n’obe, nweekwa ike
ịhapụ gị ka ị laa?”
11 Jisọs zara ya, “Ị garaghị enwe ike ọbụla n’ebe m nọ, ma ọ bụrụ na o siteghị n’elu
rute gị aka. Nke a mere mmehie onye duru m nye n’aka gị ji karịa.”
12 Site na mgbe ahụ Pailet chọsịrị ike ịhapụ ya. Ma ndị Juu tisiri mkpu ike sị, “Ị
hapụ nwoke a ka ọ laa, ị bụkwaghị enyi Siza. N’ihi na onye ọbụla na-eme onwe ya
eze na-eleli Siza.”
13 Mgbe Pailet nụrụ okwu ndị a, ọ kpọpụtara Jisọs n’ezi, nọdụkwa ala n’oche ikpe
ya dị n’ebe a na-akpọ Pevumentị (maọbụ Gabata n’asụsụ Hibru). 14 Ọ bụ n’ihe dịka
n’oge ehihie nke ụbọchị nkwadebe maka oriri Ngabiga.
Ọ sịrị ndị Juu, “Leenụ eze unu!”
15 Ma ha tiri mkpu, “Kpọpụ ya, Kpọpụ ya! Kpọgide ya n’obe.”
Pailet jụrụ ha, “Unu chọrọ ka m kpọgide eze unu n’obe?”
Ma ndịisi nchụaja zara, “Anyị enweghị eze ọzọ karịa Siza.”
16 Mgbe ahụ, o nyefere ya n’aka ha, ka ha kpọgide ya n’obe.

*Mkpọgbu Jisọs*

Ha kpọọrọ Jisọs pụọ. 17 O buuru obe ya gaa n’ebe a na-akpọ Okpokoro Isi (nke
pụtara Gọlgọta n’asụsụ Hibru). 18 N’ebe ahụ ka ha kpọgidere ya n’obe, ya na mmadụ
abụọ ndị ọzọ. Otu onye n’aka nri ya, onye nke ọzọ n’aka ekpe ya.
19 O nwere ihe Pailet dere kụpanye n’elu obe ahụ. Ihe o dere bụ nke a:

Jisọs onye Nazaret, Eze ndị Juu.

20 Ọtụtụ ndị Juu gụrụ ihe a o dere, n’ihi na ebe a kpọgburu Jisọs dị nso n’obodo ahụ.
E dekwara ya n’asụsụ Hibru, Griik na Latin. 21 Ndịisi nchụaja nke ndị Juu gwara
Pailet sị, “Edela na ọ bụ Eze ndị Juu, kama dee na nwoke a sịrị, abụ m eze ndị Juu.”
22 Ma Pailet zara, “Ihe m dere, edeela m ya.”
23 Mgbe ndị agha kpọgidechara Jisọs n’obe, ha kere uwe ya ụzọ anọ. Onye ọbụla
n’ime ha nwetara otu ụzọ. Ha chịrị uwe mwụda ya nke a na-adụghị adụ, kama a
kpara ya akpa site n’elu ya ruo n’ala ya.
24 Ha gwarịtara onwe ha, “Ka anyị hapụnụ ịdọka ya, kama ka anyị fee nza lee onye
ọ ga-adanyere i were ya.”

Nke a bụ iji mezuo ihe e dere n'akwụkwọ nsọ,
"Ha kere uwe m n'etiti onwe ha,
feekwa nza banyere uwe mwụda m."*
Nke a bụ ihe ndị agha ahụ mere.
25 Nne ya, nwanne ya nwanyị, bụ Meri nwunye Klopas, na Meri Magdalin guzo nso
n'akụkụ obe Jisọs. 26 Mgbe Jisọs hụrụ nne ya na onye na-eso ụzọ ya ọ hụrụ n'anya
ka o guzo n'akụkụ ya, ọ sịrị nne ya, "Nwanyị lee nwa gị nwoke." 27 Ọ sịrị onye ahụ
nke na-eso ụzọ ya, "Lee nne gị." Site n'oge ahụ, onye ahụ na-eso ụzọ ya kpọọrọ ya
laa n'ụlọ nke ya.

### *Ọnwụ Jisọs*

28 N'ikpeazụ, mgbe Jisọs matara na ihe niile emezuola. Ma iji mezuo ihe e dere
n'akwụkwọ nsọ, ọ sịrị, "Akpịrị na-akpọ m nkụ." 29 Otu ite mmanya ọra dọrọ nso
n'ebe ahụ. Ha were ogbo denye n'ime mmanya ahụ, kenye ogbo ahụ n'osisi hisọp
welie ya elu chee ya n'ọnụ. 30 Mgbe Jisọs detụrụ mmanya ahụ ọnụ, ọ sịrị, "Ọ
gwụchaala." O hulatara isi ya, kubie ume.
31 Ma ndị Juu achọghị ka ahụ ndị ahụ a kpọgidere n'obe nọgide n'ebe ahụ ka chi
bọọ, n'ihi na ọ bụ Ụbọchị Nkwadebe. Echi ya bụ ga-abụ ụbọchị izuike pụrụ iche.
Ha rịọọrọ Pailet ka a gbajisie ha ụkwụ ma bupụkwa ahụ ha. 32 Ndị agha ahụ bịara
gbajie ụkwụ onye nke mbụ na onye nke ọzọ a kpọgburu ha na ya. 33 Ma mgbe ha
bịaruru n'ebe Jisọs nọ, ha hụrụ na ọ nwụọlarị. N'ihi nke a, ha agbajighị ụkwụ ya.
34 Kama otu onye n'ime ndị agha ahụ weere ùbe mapuo ya akụkụ ya. Ngwangwa
ọbara na mmiri gbapụtara. 35 Onye hụrụ ihe ndị a gbara ama ka unu kwere, ama ya
bụ eziokwu, ọ matakwara na ihe ọ na-ekwu bụ eziokwu. 36 Ihe ndị a niile mere ka e
mezuo ihe e dere n'akwụkwọ nsọ, "Ọ dịghị ọkpụkpụ ya ọbụla nke a ga-agbaji."† 37 E
dekwara n'ebe ọzọ n'akwụkwọ sị, "Ha ga-elegide onye ahụ ha mapuru ahụ anya."‡

### *Olili Jisọs*

38 Mgbe ihe ndị a gasịrị, otu nwoke aha ya bụ Josef, onye sitere Arimatia, onye
na-eso ụzọ Jisọs na nzuzo, n'ihi egwu ndị Juu, jekwuuru Pailet rịọ ka o nye ya ikike
iburu ahụ Jisọs, Pailet kwere, ya mere ọ bịara buru ahụ ya. 39 Nikọdimọs, onye ahụ
bịakwutere Jisọs n'abalị na mbụ, bịakwara. O wetara máá na aloos a gwakọtara
agwakọta, nke ọtụtụ ya ruru ihe dịka kilogram iri atọ na anọ. 40 Ha buuru ahụ Jisọs,
tee ya ụda ndị ahụ, fụchikwaa ya n'akwa ọcha linin dịka omenaala olili ozu nke ndị
Juu si dị. 41 Ebe ahụ a kpọgidere ya n'obe dị n'otu ubi a gbara ogige. N'ime ogige a,
otu ili ọhụrụ dị na ya nke e jibeghị lie onye ọbụla. 42 N'ihi na ọ bụ ụbọchị Nkwadebe
nke ndị Juu,§ nakwa n'ihi na ili ahụ dị nso, ha dọnyere ahụ Jisọs n'ime ya.

# 20

### *Mbilite n'ọnwụ nke Jisọs*

1 N'isi ụtụtụ ụbọchị mbụ nke izu ụka, mgbe chi na-abọzibeghị nke ọma, Meri
Magdalin bịara n'ili ahụ, ma hụ na e wepụla nkume ahụ e jiri mechie ọnụ ili ahụ.
2 O ji ọsọ bịakwute Saimọn Pita na onye ọzọ ahụ nke na-eso ụzọ ya, bụ onye Jisọs
hụrụ n'anya sị, "Ha esitela n'ili ahụ bupụ Onyenwe anyị. Anyị amaghị ebe ha dobere
ya!"
3 Ya mere Pita na onye nke ọzọ ahụ na-eso ụzọ ya pụrụ gawa n'ili ahụ. 4 Ha abụọ
jiri ọsọ na-aga, ma onye ọzọ ahụ na-eso ụzọ ya gbakarịrị Pita n'ọsọ buru ya ụzọ ruo
n'ili ahụ. 5 O hulatara ala, nyoo anya n'ime ili, hụ akwa ọcha ahụ ebe ha wụsara

* **19:24** 19:24 Abụ 22:18 † **19:36** 19:36 Ọpụ 12:46; Ọnụ 9:12; Abụ 34:20 ‡ **19:37** 19:37 Zek 12:10 § **19:42** 19:42 maka ụbọchị izuike ndị Juu

n'ala, ma ọ baghị n'ime. 6 Ya mere Saimọn Pita, onye na-eso ya n'azụ bịarutere banye
n'ime ili ahụ. Ọ hụrụ akwa ozu ahụ ka ọ wụsara n'ala, 7 ya na akwa nke e ji kechie
ya isi. Ịchafọ a na akwa ọcha ahụ adịkọtaghị n'otu ebe, kama a pịara ya apịa dobe
ya iche n'ebe ọzọ. 8 Onye ọzọ ahụ nke na-eso ụzọ ya, onye nke buru ụzọ bịaruo n'ili
banyekwara n'ime ili ahụ. Ọ hụrụ ma kwerekwa. 9 (Ruo n'oge a, ha aghọtabeghị site
n'akwụkwọ nsọ na ọ ghaghị i si n'ọnwụ bilie.) 10 Emesịa ndị na-eso ụzọ ya laghachiri
n'ụlọ ha.

### *Jisọs egosi Meri Magdalin onwe ya*

11 Ma Meri guzo n'akụkụ ili ahụ na-ebe akwa. Mgbe ọ nọ na-ebe akwa, o hulatara
ala nyoo anya n'ime ili ahụ 12 hụ ndị mmụọ ozi abụọ yi uwe ọcha, ka ha nọdụrụ ala
otu n'isi, nke ọzọ n'ụkwụ, n'ebe ahụ atọgbọrọ ahụ Jisọs.
13 Ha sịrị ya, "Nwanyị, gịnị mere i ji ebe akwa?"
Ọ sịrị ha, "Ha ebupụla Onyenwe m, amaghị m ebe ha bujere ya." 14 N'oge a, ọ
tụgharịrị hụ ka Jisọs guzo n'ebe ahụ. Ma ọ mataghị na ọ bụ Jisọs.
15 Jisọs sịrị ya, "Nwanyị, gịnị mere iji ebe akwa? Onye ka ị na-achọ?"
Ebe o chere na ọ bụ onye na-elekọta ogige ahụ, ọ sịrị ya, "Nna anyị ukwu, ọ bụrụ
na ọ bụ gị bupụrụ ya, gwa m ebe i debere ya ka m gaa buru ya."
16 Jisọs sịrị ya, "Meri."
Ọ tụgharịrị tie mkpu n'olu Hibru sị ya, *"Raboni!"* (nke pụtara "Onye nkuzi.)"
17 Jisọs sịrị ya, "Emetụkwala m aka n'ihi na alakwurubeghị m Nna m. Kama
gakwuru ụmụnna m gwa ha, 'Ana m alakwuru Nna m na Nna unu. Chineke m
na Chineke unu.' "
18 Meri Magdalin gara gwa ndị na-eso ụzọ ya, "Ahụla m Onyenwe anyị." Ọ kọọrọ
ha na ọ bụ ya gwara ya ihe ndị a niile.

### *Jisọs egosi ndị na-eso ụzọ ya onwe ya*

19 N'uhuruchi nke ụbọchị ahụ, bụ ụbọchị mbụ nke izu ụka, mgbe ndị na-eso ụzọ
ya zukọtara n'ime otu ụlọ. Ha mechiri ụzọ niile n'ihi egwu ndị Juu. Jisọs batara guzo
n'etiti ha sị ha, "Udo dịrị unu!" 20 Mgbe o kwusiri nke a, o gosiri ha aka ya na akụkụ
ya. Ọṅụ juru ndị na-eso ụzọ ya obi n'ihi na ha ahụla Onyenwe anyị.
21 Ọzọkwa, Jisọs sịrị ha, "Udo dịrị unu! Dị ka Nna m si zite m, otu a ka m na-eziga
unu." 22 Mgbe o kwuchara nke a, o kusara ha ume sị ha, "Naranụ Mmụọ Nsọ. 23 Ọ
bụrụ na unu agbaghara onye ọbụla mmehie ya, a ga-agbaghara ya, ọ bụrụkwa na
unu ajụ ịgbaghara ha, agaghị agbaghara ha."

### *Jisọs egosi Tọmọs onwe ya*

24 Ma Tọmọs (onye a na-akpọ Didimọs), otu n'ime ndị ozi iri na abụọ ahụ, anọghị ya
mgbe Jisọs bịara. 25 Ya mere, ndị ọzọ na-eso ụzọ ya gwara ya, "Anyị ahụla Onyenwe
anyị!"
Ma ọ sịrị ha, "Ọ bụ naanị mgbe m jiri anya m hụ ebe ahụ ntu kpọpuru ya aka, tinye
mkpịsịaka m n'apa ntu ndị ahụ, ma tinyekwa aka m n'akụkụ ya ebe ahụ a mara ya
ùbe, ka m ga-ekwere."
26 Mgbe abalị asatọ gasịrị, ndị na-eso ụzọ ya zukọtara ọzọ. Ugbu a Tọmọs nọkwa
n'etiti ha. N'agbanyeghị na e mechisịrị ụzọ niile, Jisọs batara guzo n'etiti ha sị ha,
"Udo dịrị unu." 27 Mgbe ahụ ọ sịrị Tọmọs, "Rụnye mkpịsịaka gị n'ebe a, leekwa aka
m abụọ. Wepụta aka gị tinyekwa n'akụkụ m. Abụla onye na-enweghị okwukwe,
kama kwere."
28 Tọmọs zara sị ya, "Onyenwe m na Chineke m!"
29 Ma Jisọs sịrị ya, "I kweere n'ihi na ị hụla m? Ma ngọzị dịrị ndị na-ahụghị ma
kwere."

### *Ihe mere e ji dee akwụkwọ oziọma Jọn*

[30] Ọ dị ọtụtụ ihe ịrịbama ndị ọzọ Jisọs rụrụ n’ihu ndị na-eso ụzọ ya. Ma edeghị
ha n’ime akwụkwọ a. [31] Ma e dere ihe ndị a niile ka unu kwere na Jisọs bụ Kraịst,
Ọkpara Chineke. N’ihi na ọ bụ site n’ikwere ka unu ga-eji nweta ndụ ọhụrụ site n’aha
ya.

# 21

### *Jisọs na ọrụ ebube nke igbute azụ*

[1] Mgbe ihe ndị a gasịrị, Jisọs gosiri ndị na-eso ụzọ ya onwe ya ọzọ. O mere nke
a n’akụkụ osimiri nke Tiberịas,* lee otu o si mee. [2] Ụfọdụ n’ime ndị na-eso ụzọ
ya nọkọrọ otu ebe. Ndị a bụ Saimọn Pita na Tọmọs (onye a na-akpọ Didimọs), na
Nataniel, onye Kena nke Galili na ụmụ Zebedi, na mmadụ abụọ ndị ọzọ bụkwa ndị
ozi ya. [3] Saimọn Pita sịrị ha, “Ana m aga igbu azụ.” Ha sịrị, “Anyị ga-eso gị.” Ha
biliri gaa, banye n’ime ụgbọ mmiri. Ma n’abalị ahụ niile ha egbuteghị ihe ọbụla.
[4] Mgbe chi na-abọ Jisọs guzoro n’akụkụ mmiri. Ma ndị na-eso ụzọ ya amataghị na
ọ bụ Jisọs.
[5] Jisọs sịrị ha, “Ụmụntakịrị, unu gbutere azụ ọbụla?”
Ha zara ya, “Mba.”
[6] Ọ gwara ha, “Wụnyenụ ụgbụ unu n’akụkụ aka nri nke ụgbọ. Unu ga-egbutekwa
azụ.” Mgbe ha mere nke a, ha enwekwaghị ike ịdọpụta ụgbụ ha, n’ihi ọtụtụ azụ nke
dị n’ime ya.
[7] Mgbe ahụ onye ahụ na-eso ụzọ ya Jisọs hụrụ n’anya gwara Pita, “Ọ bụ Onyenwe
anyị!” Ngwangwa Saimọn Pita nụrụ na “ọ bụ Onyenwe anyị,” ọ yiiri uwe ya (n’ihi na
ọ gba ọtọ), wụba n’ime mmiri ahụ. [8] Ndị ọzọ ndị na-eso ụzọ ya bịara n’ụgbọ mmiri
nta ahụ, na-adọpụta ụgbụ ha nke azụ juru n’ime ya, n’ihi na ha nọ nso n’ala ihe dị
ka narị nzọ ụkwụ na ise.† [9] Mgbe ha pụtara n’elu ala, ha hụrụ ọkụ a kwanyere, nke
a hụkwasịrị azụ n’elu ya na ogbe achịcha.
[10] Jisọs gwara ha, “Wetanụ ụfọdụ n’ime azụ ndị ahụ unu gbutere ugbu a.” [11] Saimọn
Pita pụrụ gaa dọgota ụgbụ azụ ahụ n’elu ala. Ihe juru ya bụ azụ ndị ukwuu nke
ọnụọgụgụ ya dị narị na iri ise na atọ. Ma ụgbụ ahụ adọwaghị n’agbanyeghị na azụ
juru n’ime ya. [12] Jisọs sịrị ha, “Bịanụ rie nri ụtụtụ.” Ọ dịghị onye ọbụla n’ime ndị
ahụ na-eso ụzọ ya jụrụ ya, “Ị bụ onye?” N’ihi na ha maara na ọ bụ Onyenwe anyị.
[13] Jisọs bịara were achịcha ahụ nye ha. Otu ahụ ka o mekwara azụ ahụ. [14] Nke a bụ
ugboro atọ Jisọs gosiri ndị na-eso ụzọ ya onwe ya mgbe e mere ka o si n’ọnwụ bilie.

### *Jisọs akpọghachite Pita*

[15] Mgbe ha risiri nri ụtụtụ, Jisọs sịrị Saimọn Pita, “Saimọn nwa Jọn, ị hụrụ m n’anya
karịa ndị a niile?”
Ọ sịrị ya, “E, Onyenwe anyị, ị maara na m hụrụ gị n’anya.”
Jisọs sịrị ya, “Na-azụ ụmụ atụrụ m.”
[16] Jisọs sịrị ya nke ugboro abụọ, “Saimọn nwa Jọn, ị hụrụ m n’anya?”
Ọ sịrị, “E, Onyenwe anyị, ị maara na m hụrụ gị n’anya.”
Ọ sịrị ya, “Na-elekọta atụrụ m.”
[17] Ọ sịrị ya nke ugboro atọ, “Saimọn nwa Jọn, ị hụrụ m n’anya?”
O wutere Pita na ọ sịrị ya nke ugboro atọ, “ị hụrụ m n’anya?” Ọ sịrị ya, “Onyenwe
anyị, ị mazuru ihe niile, ị makwaara na m hụrụ gị n’anya.”
Jisọs sịrị ya, “Na-azụ atụrụ m. [18] N’ezie, n’ezie asị m gị, mgbe ị bụ okorobịa ị na-eke
ajị n’ukwu, gaa ebe ị chọrọ ịga. Ma mgbe ị ghọrọ agadi, ị ga-esetipụ aka gị, onye ọzọ
ga-ekee gị ihe okike n’ukwu ma duru gị gaa ebe ị na-achọghị ịga.” [19] O kwuru nke a

* **21:1** 21:1 Maọbụ, Galili † **21:8** 21:8 Maọbụ, narị kubit abụọ

iji gosi ụdị ọnwụ ọ ga-anwụ iji nye Chineke otuto. Mgbe nke a mesịrị, ọ sịrị ya, “Soro m.”
20 Pita chigharịrị hụ onye ahụ na-eso ụzọ ya nke Jisọs hụrụ n’anya ka ọ na-esokwa ha n’azụ. (Ọ bụ onyeozi ahụ dabeere ya n’obi na nri anyasị, nke sịrị, “Onyenwe anyị, onye ga-arara gị nye?”) 21 Mgbe Pita hụrụ ya, ọ sịrị Jisọs, “Onyenwe anyị kedụ maka onye a?”
22 Jisọs sịrị ya, “Ọ bụrụ na m achọọ ka ọ nọgide ruo mgbe m ga-alọghachi gịnị ka nke a bụ nye gị? Soro m.” 23 Ya mere, akụkọ a gbasara n’etiti ụmụnna na onye a na-eso ụzọ ya agaghị anwụ. Ma Jisọs asịghị ya na ọ gaghị anwụ anwụ, kama, “Ọ bụrụ na m chọrọ ka ọ nọgide ruo mgbe m ga-abịa, ọ gbasara gị?”
24 Nke a bụ onye ahụ na-eso ụzọ ya onye na-agba ama ihe ndị a niile, ma deekwa ha n’akwụkwọ. Anyị makwaara na ama ya bụ eziokwu.
25 Ma ọ dị ọtụtụ ihe ndị ọzọ Jisọs mere. Ọ bụrụ na e dee ha niile n’akwụkwọ, ọ dịghị m ka ụwa niile ọ ga-aba akwụkwọ a ga-ede banyere ha.

# Ọrụ Ndị Ozi

### *Jisọs alaa n'eluigwe*

1 Ezigbo enyi m Tiofilọs, n'akwụkwọ m nke mbụ m dere gị banyere ihe niile Jisọs
malitere ime nakwa ikuzi, 2 ruo n'ụbọchị e mere ka ọ laghachi n'eluigwe mgbe o
sitere n'ike Mmụọ nsọ nyesịa ndị na-eso ụzọ ya iwu, bụ ndị ọ họpụtara. 3 Mgbe ọ
hụsịrị ahụhụ nke ọnwụ, o gosiri ha onwe ya n'ụzọ dị iche iche n'ebe o doro anya
na ya dị ndụ. O mere ka ha hụ ya anya n'ime iri ụbọchị anọ, na-akụziri ha banyere
alaeze Chineke. 4 N'otu oge, ọ nọnyeere ha na nri, o nyere ha iwu a, "Unu esila na
Jerusalem pụọ, kama cherenụ nkwa nke Nna m, nke unu nụrụ site n'ọnụ m. 5 N'ihi
na Jọn jiri mmiri mee unu baptizim, ma n'oge na-adịghị anya, a ga-eji Mmụọ Nsọ
mee unu baptizim."

6 Mgbe ha gbakọrọ, ha jụrụ ya, "Onyenwe anyị, ọ bụ ugbu a ka i ga-enyeghachi
Izrel alaeze ahụ?"

7 Ma ọ sịrị ha, "Ọ bụghị ọrụ unu ịmata oge na mgbe Nna m na-akwado ihe o zubere
ime n'ikike nke onwe ya. 8 Ma mgbe Mmụọ Nsọ bịakwasịrị unu, unu ga-anata ike.
Mgbe ahụ, unu ga-agbara m ama na Jerusalem, na Judịa niile ya na Sameria ruokwa
ebe niile ụwa sọtụrụ."

9 Mgbe o kwusiri nke a, e weliri ya elu mgbe ha na-ele anya, igwe ojii kpuchikwara
ya, zopu ya n'anya ha.

10 Mgbe ha na-elegidesi anya ike n'eluigwe dịka ọ na-ala, na mberede, ụmụ nwoke
abụọ yi uwe ọcha guzooro ha nso. 11 Ha sịrị, "Ndị ikom Galili, gịnị mere unu jiri
guzoro ebe a na-ele anya n'eluigwe? Jisọs a onye e sitere n'etiti unu kpọrọ laa
n'eluigwe ga-alọghachikwa otu ahụ unu si hụ ya o siri laa n'eluigwe."

### *Mataias, onye nọchiri anya Judas*

12 Ha sitere n'Ugwu a na-akpọ Oliv nke dị Jerusalem nso, njem nke otu ụbọchị
izuike, laghachi na Jerusalem. 13 Mgbe ha batara n'obodo, ha rigoro n'ime ụlọ ahụ dị
n'ụlọ elu, ebe ha na-anọ. Ndị a bụ ndị nọ n'ụlọ ahụ:

Pita, Jọn, Jemis na Andru,
Filip na Tọmọs,
Batalomi na Matiu,
Jemis nwa Alfiọs, Saimọn onye a na-akpọ Zilọt na Judas nwa Jemis.

14 Ndị a niile ji otu obi nọgidesie ike n'ekpere. Ndị sonyere ha bụ ụfọdụ ndị inyom
na Meri nne Jisọs, na ụmụnna ya.

15 N'oge ahụ, Pita bilitere n'etiti ndị kwere ekwe ọnụọgụgụ ha dị ihe dị ka narị na
iri abụọ, sị, 16 "Ụmụnna m, ọ dị mkpa ka ihe e dere n'akwụkwọ nsọ mezuo banyere
Judas onye duuru ndị jidere Jisọs bịa. Mmụọ Nsọ kwuru na nke a ga-eme mgbe o
sitere n'ọnụ Devid kwuo okwu n'oge gara aga. 17 Ọ bụ otu n'ime anyị. O nwere oke
n'ime ọrụ a."

18 Ego ọ natara n'ihi ọrụ ọjọọ ya ka o jiri zụọ ala. N'ala ahụ ka ọ dara sụọ isi
n'ala, afọ ya etipuo, eriri afọ ya awụsịakwa. 19 Ndị niile bi na Jerusalem nụrụ akụkọ
banyere ya. N'ihi ya, ha kpọrọ ala ahụ n'asụsụ ha Akeldama, nke pụtara Ala Ọbara.

20 Pita sịrị, "N'ihi na e dere ya n'akwụkwọ Abụ Ọma:
" 'Ka ebe obibi ya tọgbọrọ n'efu,

ka mmadụ ọbụla gharakwa ibi n’ime ya,’*
na,
“ ‘Ka onye ọzọ nọchiekwa ọnọdụ ya ka onyeisi.’†
21 Ya mere, otu onye n’ime ndị anyị na ha nọ n’oge niile Onyenwe anyị Jisọs nọ
n’etiti anyị, 22 bido n’oge Jọn na-eme baptizim ruo n’ụbọchị Jisọs si n’etiti anyị rigoro
n’eluigwe. Otu onye n’ime ndị a ga-eso anyị bụrụ onye akaebe nke mbilite n’ọnwụ
ya.”
23 Ya mere, ha họpụtara mmadụ abụọ, Josef onye a na-akpọ Basabas (aha ya ọzọ
bụkwa Jọstus) na Mataias.‡ 24 Ha kpere ekpere sị, “Onyenwe anyị, ị maara obi
mmadụ niile. Gosi anyị onye ị họpụtara n’ime mmadụ abụọ ndị a. 25 Ka ọ bụrụ
onyeozi na onyendu nke ga-anọchi anya Judas onye nke hapụrụ ma gawa ebe o
kwesiri ka ọ gaa.” 26 Ha fere ha nza. Nza ahụ makwara Mataias, ha gụnyere ya
dị ka otu n’ime ndị ozi iri na otu ahụ.

# 2

### *Ọbịbịa nke Mmụọ Nsọ*

1 Mgbe ụbọchị Pentikọọsụ ruru, ha niile zukọtara n’otu ebe. 2 Na mberede, ụzụ
yiri nke oke ifufe dị ike sitere n’eluigwe bịa jupụta n’ụlọ ahụ ha nọ. 3 Ha hụrụ ihe
dịka ire ọkụ ka o kewara nọkwasị n’isi ha n’otu n’otu. 4 Ha niile jupụtara na Mmụọ
Nsọ, malite ịsụ asụsụ dị iche iche dịka Mmụọ Nsọ nyere ha ike.
5 N’oge ahụ, ọtụtụ ndị Juu ji obi ọcha na-efe Chineke nọ na Jerusalem. Ndị si na mba
dị iche iche n’okpuru eluigwe. 6 Igwe mmadụ gbakọtara n’ọnọdụ mgbagwoju anya
mgbe ha nụrụ ụzụ ahụ, n’ihi na ha nụrụ ka ha na-asụ asụsụ nke onye ọbụla n’ime
ha na-aghọta, n’asụsụ obodo ha dị iche iche. 7 N’oke iju anya, ha kwurịtara n’onwe
ha, “Ndị a niile na-ekwu okwu ha abụghị ndị Galili? 8 Gịnị mere onye ọbụla n’ime
anyị ji na-anụ okwu ha na-ekwu n’asụsụ ala anyị dị iche iche? 9 Ndị Patia, na ndị
Midia, na ndị Elam, ndị bikwa n’ime Mesopotamịa, ndị Judịa, na ndị Kapadosia, ndị
Pọntọs, na ndị Eshịa, 10 ndị Frigia, na ndị Pamfilia, na ndị Ijipt, na ndị akụkụ Libiya
nke dị Sirini nso, na ndị ọbịa si na Rom bịa 11 (ndị Juu na ndị kwere n’okpukpe ndị
Juu). Ndị Kriit na ndị Arab; anyị na-anụ okwu ha na-ekwu n’asụsụ anyị dị iche iche
banyere ọrụ ebube Chineke.” 12 O juru ha anya, gbaakwa ha gharịị. Ha sịrịtara onwe
ha, “Gịnị ka nke a bụ?”
13 Ma ụfọdụ ndị ọzọ na-akwa ha emo na-asị, “Ndị a bụ ndị mmanya na-egbu.”

### *Okwu Pita banyere Kraịst*

14 Pita guzoro, ya na ndị ozi iri na otu ahụ welie olu gwa ọgbakọ ahụ okwu, “Ndị
Juu na unu ndị bi na Jerusalem, matanụ nke a, geekwanụ ntị na ihe m na-ekwu. 15 Ọ
bụghị mmanya na-egbu ndị a dị ka unu chere. Lee, ọ bụ naanị elekere itoolu nke
ụtụtụ na-akụ. 16 Mba, nke a bụ mmezu ihe Juel onye amụma kwuru,
17 “ ‘Chineke sịrị, n’oge ikpeazụ,
aga m awụkwasị mmadụ niile Mmụọ m.
Ụmụ unu ndị ikom na ụmụ unu ndị inyom ga-ebu amụma,
ụmụ okorobịa unu ga-ahụkwa ọhụ,
ndị okenye nwoke unu ga-arọ nrọ.
18 Ọ bụladị ndị ohu m, nwoke ha na nwanyị n’ime ha,
ka m ga-awụkwasị Mmụọ m.
Ha ga-ebukwa amụma.
19 Aga m egosi ihe ịtụnanya na mbara eluigwe,

---

* **1:20** 1:20 Abụ 69:25 † **1:20** 1:20 Abụ 109:8 ‡ **1:23** 1:23 Mataias bụ onye ahọpụtara ka ọ nọchie anya Judas Iskarịọt n’ije ozi. Ọrụ ndị ozi bụ ịgba ama na ikwupụta mbilite n’ọnwụ Jisọs dịka Kraịst ahụ.

gosikwa ihe ịrịbama n’ụwa na n’okpuru ụwa,
ọbara na ọkụ na alulu anwụrụ ọkụ.
20 Anyanwụ ga-agbanwe ghọọ ọchịchịrị,
ọnwa ga-aghọkwa ọbara,
tupu ụbọchị Onyenwe anyị abịa, bụ ụbọchị ahụ dị ukwu dịkwa ebube.
21 Ọ ga-erukwa, na onye ọbụla nke na-akpọku
aha Onyenwe anyị, ka a ga-azọpụta.’*

22 “Ndị Izrel, geenụ ntị n’okwu a, Jisọs onye Nazaret bụ nwoke Chineke gosiri unu,
site n’ọrụ dị ike, n’ọrụ ebube nakwa ihe ịrịbama niile nke Chineke rụrụ n’etiti unu
site n’aka ya, dịka unu ji anya unu hụ. 23 Onye a ka e weere nyefee unu n’aka site
na nzube nke Chineke buru ụzọ tụọ atụmatụ ya, na dịka o siri mara na mbụ, ọ bụ
ya ka unu gburu ma kpọgidekwa n’obe site n’aka ndị na-amaghị iwu. 24 Ma Chineke
emela ka o site n’ọnwụ bilie mgbe ọ tọpụchara ihe mgbu nke ọnwụ, n’ihi na ọnwụ
enweghị ike ijide ya. 25 Devid kwuru banyere ya,

“ ‘Ana m ahụ Onyenwe anyị ka ọ na-anọgide n’ihu m mgbe niile.
N’ihi na ọ nọ n’aka nri m.
Agaghị m ama jijiji.
26 Ya mere, ọṅụ jupụtara m obi, ire m na-aṅụrịkwa ọṅụ;
anụ ahụ m ga-ezukwa ike n’olileanya,
27 n’ihi na ị gaghị ahapụ mkpụrụobi m n’ala mmụọ,
ị gakwaghị ahapụ anụ ahụ nke Onye gị dị nsọ ka ọ hụ ire ure.
28 I mere ka m mara ụzọ nke ndụ;
ị ga-emekwa ka m jupụta n’ọṅụ n’ihu gị.’†

29 “Ụmụnna m, eji m nkwuwa okwu na-agwa unu banyere nna nna anyị Devid, bụ
onye nwụrụ anwụ e lie ya. Ili ya dịkwa n’etiti anyị taa. 30 Ma ọ bụ onye amụma
marakwa na Chineke jiri ịṅụ iyi kwee ya nkwa na otu n’ime ụmụ ya ga-anọkwasị
n’ocheeze ya. 31 Ebe o buuru ụzọ hụ ihe ga-eme n’oge dị n’ihu, o kwuru banyere
mbilite n’ọnwụ nke Kraịst, mgbe ọ sịrị, a hapụghị ya n’ala mmụọ; anụ ahụ ya
ahụghịkwa ire ure. 32 Ọ bụ Jisọs a ka Chineke mere ka ọ dị ndụ ọzọ. Anyị niile
bụkwa ndị akaebe banyere ya. 33 Ebe ọ bụ na e buliela ya elu n’aka nri Chineke. Ọ
natala Mmụọ Nsọ dịka Nna ya kwere na nkwa. Ihe a unu na-ahụ na nke unu na-anụ
bụ onyinye ya ọ wụkwasịrị anyị. 34 Ọ dịghị oge Devid jiri rigoro n’eluigwe, ma ya
onwe ya sịrị,

“ ‘Onyenwe anyị gwara Onyenwe m sị,
“Nọdụ ala n’aka nri m,
35 ruo mgbe m ga-eme ndị iro gị
ihe mgbakwasị ụkwụ nye ụkwụ gị.” ’‡

36 “Ya mere, ana m eme ka ezinaụlọ Izrel niile mara nke ọma, na Chineke emeela
Jisọs a onye unu kpọgidere n’obe ka ọ bụrụ Onyenwe anyị na Kraịst.”

37 Mgbe ha nụrụ ihe ndị a, akọnuche ha mara ha ikpe. Ha sịrị Pita na ndị ozi ndị
ọzọ, “Ụmụnna, gịnị ka anyị ga-eme?”

38 Ma Pita sịrị ha, “Chegharịanụ unu niile. Ka e mekwa unu baptizim n’aha Jisọs
Kraịst, maka mgbaghara mmehie unu. Unu ga-anatakwa onyinye nke Mmụọ Nsọ.
39 Nkwa a dịrị unu na ụmụ ụmụ unu na mmadụ niile nọ n’ebe dị anya, dịkwara ndị
niile Onyenwe anyị Chineke ga-akpọ ka ha bịakwute ya.”

40 O jiri ọtụtụ okwu ndị ọzọ gbaa ama, ma dụọkwa ha ọdụ sị, “Sitenụ n’etiti ọgbọ
a jọrọ njọ zọpụta onwe unu.” 41 E mere ndị nabatara okwu ya baptizim, ha dị ihe
ruru puku mmadụ atọ, a gụnyere n’ọnụọgụgụ ha.

* **2:21** 2:21 Jul 2:28-32 † **2:28** 2:28 Abụ 16:8-11 ‡ **2:35** 2:35 Abụ 110:1

*Nnọkọ nke ndị kwere ekwe*

[42] Ha nyefere onwe ha n'ozizi nke ndị ozi, ya na ife ofufe na ịnyawa achịcha nakwa
ikpe ekpere. [43] Onye ọbụla n'ime ha jupụtara na egwu, n'ihi na ndị ozi na-arụ
ọtụtụ ọrụ ebube, na ihe ịrịbama dị iche iche. [44] Ndị niile kwere ekwe nọkọtara
ọnụ, nwekọkwaa ihe niile ọnụ. [45] Ha rere ihe ha nwere na nke ha kpatara, kenye
onye ọbụla dịka mkpa ya siri dị. [46] Ha gara n'ihu na-ezukọta n'ụlọnsọ ukwu ikpe
ekpere kwa ụbọchị. Ha na-erikọkwa nri n'ụlọ ha, n'obi ọṅụ na ekele. [47] Dịka ha
gara n'ihu na-eto Chineke, ha nwetara ihuọma n'aka ndị mmadụ. Onyenwe anyị
na-atụkwasịkwara ha ndị a na-azọpụta kwa ụbọchị.

# 3

*Ọgwụgwọ onye ngwụrọ*

[1] Otu ụbọchị Pita na Jọn na-aga n'ụlọnsọ ukwu ikpe ekpere n'oge ekpere n'elekere
atọ nke ehihie. [2] Ma otu nwoke dara ngwụrọ site n'afọ nne ya ka a na-ebute n'ọnụ
ụzọ ama nke ụlọnsọ ukwu ahụ ụbọchị niile ka ọ na-arịọ ndị na-aba n'ime ụlọnsọ
ukwu ahụ arịrịọ. Aha ọnụ ụzọ ama ahụ bụ ọnụ ụzọ ama ọma. [3] Mgbe ọ hụrụ Pita na
Jọn ka ha na-achọ ịba n'ụlọnsọ ukwu ahụ, o bidoro ịrịọ ha arịrịọ. [4] Ma Pita na Jọn
legidere ya anya, Pita sịrị, "Lee anyị anya." [5] O legidere ha anya chee na ha ga-enye
ya onyinye.

[6] Ma Pita sịrị, "Enweghị m ọlaọcha maọbụ ọlaedo ma ihe m nwere ka m na-enye
gị. N'aha Jisọs Kraịst onye Nazaret bilie ọtọ gawa ije." [7] O jidere ya aka n'aka nri
ya, nyere ya aka selite ya elu, ngwangwa, ụkwụ ya na nkwonkwo nke akwara ụkwụ
ya nwetara ike. [8] Ọ wụliri elu n'ụkwụ ya, bido ịga ije. O soro ha baa n'ụlọnsọ ukwu
ahụ, ya na-aga, ya ana-awụlị elu, na-etokwa Chineke. [9] Mmadụ niile hụrụ ya ka ọ
na-agagharị na-eto Chineke, [10] ha ghọtara na ọ bụ ya bụ onye ahụ na-anọ n'ọnụ ụzọ
ama ụlọnsọ ukwu ahụ, nke a na-akpọ ọnụ ụzọ ama ọma na-arịọ arịrịọ. Ọ gbagwojuru
ha anya nke ukwuu, gbakwa ha gharịị ihe mere ya.

*Okwu Pita n'ụlọnsọ ukwu*

[11] Ma dị ka o jidere Pita na Jọn aka, ndị mmadụ niile jiri mgbagwoju anya gbara
ọsọ bịakwute ha n'akụkụ ụlọnsọ ahụ ebe a na-akpọ mgbe ụlọ Solomọn. [12] Mgbe Pita
hụrụ nke a, ọ gwara igwe mmadụ ahụ, "Ndị Izrel, gịnị mere ihe a ji eju unu anya?
Gịnị mere unu ji ele anyị anya dịka a ga-asị na ọ bụ site n'ike nke anyị maọbụ n'ịdị
nsọ anyị ka anyị jiri mee ka nwoke a gawa ije? [13] Chineke nke Ebraham, nke Aịzik
na nke Jekọb, Chineke nke nna anyị ha, ebuliela onye na-ejere ya ozi, bụ Jisọs elu,
onye unu nyefere ka e gbuo, ma gọnarịkwa ya n'ihu Pailet, n'agbanyeghị na o kpebiri
ịhapụ ya ka ọ laa. [14] Unu gọnarịrị onye ahụ dị nsọ bụrụkwa onye ezi omume, ma
rịọ ka a hapụrụ unu ogbu mmadụ. [15] Unu gburu onye ahụ na-enye ndụ, ma Chineke
akpọlitela ya site n'ọnwụ. Anyị bụ ndị akaebe ihe ndị a. [16] Ọ bụ site n'okwukwe
n'aha ya, ọ bụ aha ya naanị mere nwoke a ka ọ dị ike onye nke unu na-ahụ ma
marakwa. Okwukwe n'ime Jisọs mere ka ahụ ya zuo oke n'ihu unu niile.

[17] "Ugbu a ụmụnna m, amaara m na unu kpara agwa na-amaghị ama, dịka ndị
ndu unu sikwara kpaa. [18] Ma Chineke siri otu a mezuo ihe o kwuru site n'ọnụ ndị
amụma niile na Kraịst ya aghaghị ịhụ ahụhụ. [19] Ya mere, chegharịanụ ugbu a ma
lọghachikwutekwanụ Chineke, ka e nwee ike ihichapụ mmehie unu, [20] ka enyekwa
unu ntute nke ime mmụọ nke sitere n'ihu Onyenwe anyị, ma zitekwara unu Kraịst
ahụ, bụ onye ahọpụtara nye unu, nke bụ Jisọs. [21] Onye eluigwe na-aghaghị ịnabata
tutu ruo oge ahụ Chineke ga-eweghachi ihe niile n'ọnọdụ ha, dịka o kwere na nkwa
n'ogologo oge gara aga site n'ọnụ ndị amụma ya dị nsọ. [22] Mosis sịrị, 'Onyenwe anyị
bụ Chineke ga-eme ka onye amụma ga-adị ka m biliere unu site n'etiti ụmụ nne unu,

unu aghaghị ige ntị n’ihe niile ọ ga-agwa unu. 23 Onye ọbụla jụrụ ige onye amụma
ahụ ntị, ka a ga-ekewapụ kpamkpam site n’etiti ndị ya ma bibiekwa ya.’*
24 “N’ezie ndị amụma niile site na Samuel na ndị ọzọ so ya n’azụ, bukwara amụma
banyere ụbọchị ndị a. 25 Ma unu bụ ndị nketa nke ndị amụma, nakwa nke ọgbụgba
ndụ ahụ Chineke na nna nna unu gbara, mgbe ọ gwara Ebraham, ‘Site na mkpụrụ
gị ka a ga-agọzi mba niile nke ụwa.’† 26 Mgbe Chineke kpọlitere onyeozi ya, o buuru
ụzọ zitere unu ya, ka ọ gọzie unu site n’ime ka onye ọbụla n’ime unu chegharịa site
n’ụzọ ọjọọ ya.”

# 4

*Pita na Jọn n’ụlọikpe*

1 Mgbe ha nọ na-agwa ndị mmadụ ahụ okwu, ndị nchụaja na onyeisi ndị agha na-
eche ụlọnsọ ukwu ahụ na ndị Sadusii bịakwutere ha. 2 Ha were oke iwe n’ihi na
ha na-ezi ndị mmadụ ihe, na-ekwusakwa na n’ime Jisọs ka mbilite n’ọnwụ nke ndị
nwụrụ anwụ dị. 3 Ha jidere ha tinye ha n’ụlọ mkpọrọ, ruo n’echi ya. N’ihi na oge e
jidere ha bụ n’oge uhuruchi. 4 Ma ọtụtụ ndị nụrụ okwu ahụ kwenyere. Ọnụọgụgụ
ha ruru ihe dị ka puku mmadụ ise.
5 N’echi ya, ndị na-achị achị, na ndị okenye na ndị ozizi iwu zukọrọ na Jerusalem.
6 Onyeisi nchụaja bụ Anas nọ n’ebe ahụ, na Kaịfas na Jọn na Alegzanda, na ndị ọzọ
bụ ndị ikwu onyeisi nchụaja. 7 Mgbe ha kpọpụtara ha n’etiti ha, ha jụrụ ha, “Ọ bụ
site n’ike onye, na site n’aha onye, ka unu ji mee ihe a?”
8 N’oge ahụ, Pita jupụtara na Mmụọ Nsọ. Ọ gwara ha, “Unu ndị na-achị ala anyị,
na ndị okenye. 9 Ọ bụrụ na unu kpọpụtara anyị ịchọpụta otu nwoke ngwụrọ a si
bụrụ onye ahụ dị mma maọbụ otu e si gwọọ ya, 10 ya mere maranụ nke a, unu na
ndị Izrel niile, a gwọrọ nwoke a guzo n’etiti unu site n’aha Jisọs Kraịst onye Nazaret,
onye unu kpọgidere n’obe, ma Chineke kpọlitere ya site n’ọnwụ. 11 Jisọs a bụ
“ ‘nkume ahụ unu ndị na-ewu ụlọ jụrụ,
nke ghọrọ nkume isi ntọala ụlọ.’*
12 Nzọpụta adịghị n’ime onye ọbụla ọzọ, n’ihi na o nweghị aha ọzọ e nyere n’etiti
mmadụ n’okpuru eluigwe nke e nwere ike isite na ya zọpụta anyị.”
13 Mgbe ha hụrụ nkwuwa okwu Pita na Jọn, na-atụghị ụjọ, ma chọpụtakwa na ha
bụ ndị mmadụ nkịtị, na ndị a na-azụghị n’ụlọ akwụkwọ, o juru ha anya. Ma ha
ghọtara na ha bụ ndị ha na Jisọs nọkọrọ. 14 Ma mgbe ha hụrụ nwoke ahụ a gwọrọ,
ka o guzo n’akụkụ ha, ha enweghị okwu ọbụla ha nwere ikwu megide nke a. 15 Ha
nyere iwu ka ha si n’ụlọikpe ahụ pụọ, ma bido ịgba izu n’etiti onwe ha banyere nke
a. 16 Ha na-asị, “Gịnị ka anyị ga-eme ndị a? Anyị apụghị ịgọ agọ na ha rụrụ ọrụ
ịrịbama pụrụ iche. Ndị niile bi na Jerusalem maara ihe banyere nke a. 17 Ma iji mee
ka akụkọ ọrụ ebube a hapụ ịgbasa ruo ọtụtụ mmadụ ntị, ka anyị dọọ ha aka na ntị
ka ha ghara ịgwa onye ọbụla okwu banyere aha nwoke a.”
18 Ha kpọrọ ha nye ha iwu ka ha kwụsị ikwu okwu maọbụ izi ihe n’aha Jisọs. 19 Ma
Pita na Jọn zara sị ha, “Kpeenụ ikpe a n’onwe unu, maọbụ ihe ziri ezi n’anya Chineke
ige unu ntị karịa ige Chineke ntị? 20 N’ihi na ọ bụ ihe rara ahụ na anyị ga-akwụsị
ikwu okwu banyere ihe ahụ anyị hụrụ na nke anyị nụrụ.”
21 Mgbe ha batụchara ha mba, ha hapụrụ ha ka ha laa. O nweghị ụzọ ọbụla ha
ga-esi taa ha ahụhụ n’ihi na mmadụ niile nọ na-eto Chineke n’ihi ihe a mere. 22 N’ihi
na nwoke a gwọrọ n’ụzọ dị ebube agafeela iri afọ anọ.

*Ekpere ndị kwere ekwe*

* **3:23** 3:23 Dit 18:15,18,19 † **3:25** 3:25 Jen 22:18; 26:4 * **4:11** 4:11 Abụ 118:22

23 Mgbe ha hapụrụ ha, ha lara kọọrọ ndị ibe ha ihe ndịisi nchụaja na ndị okenye
gwara ha. 24 Mgbe ha nụrụ nke a, ha niile ji otu obi welie olu ha kpọkuo Chineke, sị,
"Gị, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị, gị onwe gị kere eluigwe na ụwa,
na oke osimiri, na ihe niile dị n'ime ha. 25 Ọ bụ gị sitere n'aka Mmụọ Nsọ site n'ọnụ
nna anyị Devid, onye na-ejere gị ozi, sị:
" 'Gịnị mere mba niile ji eme oke mkpọtụ?
Gịnị mere ndị mmadụ ji na-apịa ọpịpịa nke na-abaghị uru?
26 Ndị eze nke ụwa na-eguzokwa onwe ha,
ndị na-achị achị na-agbakọtakwa,
imegide Onyenwe anyị
na imegide Onye ya e tere mmanụ.'†
27 N'ezie n'obodo a, Herọd na Pọntiọs Pailet, na ndị mba ọzọ, nakwa ndị Izrel
ezukọtala imegide onye nsọ ahụ na-ejere gị ozi, bụ Jisọs, onye i tere mmanụ, 28 ha
mere ihe i jiri ike gị na uche gị kwuo na ha aghaghị imezu. 29 Ugbu a, Onyenwe anyị,
lee ịba mba ha ma nye ndị ohu gị ike iji gbasaa ozi gị na-atụghị egwu ọbụla. 30 Setịpụ
aka gị gwọọ ndị ọrịa ma rụọ ọtụtụ ọrụ ebube na ọrụ ịrịbama site n'aha onye nsọ ahụ
na-ejere gị ozi bụ Jisọs."
31 Mgbe ha kpesịrị ekpere, ụlọ ahụ ha zukọrọ n'ime ya mara jijiji. Ha jupụtara na
Mmụọ Nsọ, ma jiri nkwuwa okwu kwusaakwa okwu Chineke.

### *Ndị kwere ekwe na-ekekọrịta ihe*

32 Ndị niile kwere ekwe nwere otu obi n'otu mkpụrụobi. O nweghị onye ọbụla
gụrụ ihe ọbụla o nwere dịka nke aka ya, kama ha mere ka onye ọbụla n'ime ha keta
oke n'ihe ibe ya nwere. 33 Ndị ozi sitere n'ike gaa n'ihu na-agba ama banyere mbilite
n'ọnwụ Onyenwe anyị Jisọs, oke amara bakwaara ha niile ụba. 34 O nweghị onye
mkpa kpara n'ime ha, n'ihi na site n'oge ruo n'oge, ndị nwere ala maọbụ ụlọ na-ere
ha, ma wetakwa ego ha retara na ha, 35 nye ndị ozi, a na-ekekwa ya nye onye ọbụla
dị ka mkpa ya si dị.
36 Josef onye ikwu Livayị, onye sitere na Saiprọs, onye ndị ozi na-akpọ Banabas
(nke pụtara "nwa nke nkasiobi"). 37 O rere ala o nwere, weta ego ya, ma tọgbọ ya
n'ụkwụ ndị ozi.

## 5

### *Ananayas na Safaịra*

1 Ma otu nwoke a na-akpọ Ananayas na nwunye ya bụ Safaịra rekwara ala nke ha.
2 Na nkwekọrịta ya na nwunye ya, o zoro ụfọdụ ego site n'ego ha retara n'ala ha ahụ,
weta nke fọdụrụ bịa tọgbọ n'ụkwụ ndị ozi.
3 Pita sịrị, "Ananayas, gịnị mere ekwensu jiri jupụta obi gị mee ka ị ghaara mmụọ
nsọ ụgha mgbe i zopuuru onwe gị ego site n'ime ego i retara n'ala gị? 4 Ọ bụghị gị
nwe ala ahụ tupu e ree ya? Mgbe e rechara ya, ego e retara ya ọ bụghị nke gị, iji mee
ka ị chọrọ? Gịnị mere i ji chee echiche ime ihe dị otu a? Ọ bụghị mmadụ ka ị ghaara
ụgha kama ọ bụ Chineke."
5 Mgbe Ananayas nụrụ okwu ndị a, ọ dara n'ala nwụọ, egwu jidekwara ndị niile
nụrụ ihe mere. 6 Ụmụ okorobịa ndị nọ ebe ahụ batara jiri akwa kee ozu ya bupụ ya
ga lie.
7 Mgbe ihe dịka awa atọ gasịrị, nwunye ya batakwara, ma ọ matabeghị ihe mere
di ya. 8 Pita jụrụ ya, gwa m, "ọ bụ ego ole a ka gị na di gị retara ala ahụ?"
Ọ sịrị, "E, ọ bụ ego ole ahụ ka anyị retara ya."

† **4:26** 4:26 Abụ 2:1,2

9 Pita sịrị ya, “Gịnị mere unu jiri kpebie ịnwa Mmụọ nke Onyenwe anyị ọnwụnwa? Gee ntị, nzọ ụkwụ ndị buuru di gị gaa lie nọ n’ọnụ ụzọ. Ha ga-ebupụkwa gị.”
10 N’otu oge ahụ ọ dara n’ala n’ụkwụ ya, nwụọ, ụmụ okorobịa ahụ liri di ya
batakwara chọpụta na ọ nwụọla, buru ya pụọ gaa lie ya n’akụkụ di ya. 11 Oke egwu
tụrụ nzukọ ahụ niile, tụọkwa ndị niile nụrụ akụkọ banyere ihe ndị a.

*Ọrụ ebube na ọrụ ịtụnanya*

12 Ndị ozi ahụ rụkwara ọrụ ebube na ọrụ ịrịbama dị ukwuu n’etiti ndị mmadụ.
Ha niile na-ezukọ na mgbe ụlọ Solomọn. 13 O nweghị onye ọbụla kwere iso ha ọzọ,
n’agbanyeghị na ọtụtụ mmadụ na-asọpụrụ ha. 14 Ma otu ọ dị, ọtụtụ ndị nwoke na
ndị nwanyị kwere n’Onyenwe anyị sonyere ha. 15 N’ihi nke a, ndị mmadụ bupụtara
ndị ọrịa n’okporoụzọ nibe ha n’ute na ihe ndina, ka ọ ga-abụ mgbe Pita na-agafe
onyinyo ya ga-adakwasị ụfọdụ n’ime ha. 16 Igwe mmadụ zukọtara site n’obodo ndị
dị Jerusalem gburugburu. Ha butekwara ndị nrịa nrịa, na ndị mmụọ na-adịghị ọcha na-enye nsogbu, a gwọkwara ha niile.

*Mkpagbu nke ndị ozi*

17 Mgbe ahụ onyeisi nchụaja na ndị otu ya so n’otu ndị Sadusii ka ekworo jupụtara
obi. 18 Ha jidere ndị ozi a tụba ha n’ụlọ mkpọrọ nke ọha mmadụ. 19 Ma n’oge abalị
mmụọ ozi Onyenwe anyị meghere ọnụ ụzọ ụlọ mkpọrọ ahụ kpọpụta ha sị, 20 “Gaanụ,
guzoronụ n’ụlọnsọ ukwu ahụ gwa ndị mmadụ ozi niile nke ndụ ọhụrụ a.”
21 Mgbe ha nụrụ nke a, n’isi ụtụtụ, ha banyere n’ụlọnsọ ukwu malite izi ihe.
Ma mgbe onyeisi nchụaja na ndị soo ya bịarutere, ha kpọrọ nzukọ ndị Sanhedrin nke bụ ọgbakọ jikọtara ndị okenye Izrel niile. Ha zipụrụ ozi ka e site n’ụlọ mkpọrọ
kpụta ha. 22 Ma mgbe ndị ahụ ha zipụrụ ruru n’ụlọ mkpọrọ, ha ahụghị ndị ozi ahụ.
Ha lọghachiri azụ kọọrọ ndị ọgbakọ ahụ ihe ha hụrụ, 23 “Anyị hụrụ ka a kpọchiziri
ụlọ mkpọrọ ahụ nke ọma, ndị nche guzokwa n’ọnụ ụzọ ya. Ma mgbe anyị meghere
ụlọ mkpọrọ ahụ, anyị ahụghị onye ọbụla n’ime ya.” 24 Mgbe onyeisi ndị agha na-eche
ụlọnsọ ukwu na ndịisi nchụaja nụrụ okwu ndị a, ọ gbara ha gharịị, ha na-eche ihe nke a ga-apụta.
25 N’otu oge ahụ, otu onye gbabatara gwa ha, “Leenụ! Ndị ahụ unu tụbara n’ụlọ
mkpọrọ guzo ugbu a n’ime ụlọnsọ ukwu na-ezi ndị mmadụ ihe.” 26 Ngwangwa,
onyeisi agha na ndị agha ya gara n’ụlọnsọ ahụ jide ndị ozi ahụ ma kpụta ha, ma ha ejighị ike mee nke a n’ihi na ha tụrụ egwu na ndị mmadụ ga-atụ ha nkume.
27 Mgbe a kpụtara ha, e mere ka ha guzoro n’ihu ọgbakọ ndị Sanhedrin, onyeisi
nchụaja jụrụ ha ajụjụ, 28 sị, “Ọ bụ anyị adọghị unu aka na ntị ka unu kwụsị ikuzi ihe n’aha a; ma unu emeela ka ozizi unu jupụta Jerusalem niile kpebiekwa ime ka ọbara nwoke a dịrị anyị n’isi.”
29 Pita na ndị ozi ndị ọzọ zara sị, “Anyị ga-erubere Chineke isi ọ bụghị mmadụ.
30 Chineke nna nna anyị a kpọlitela Jisọs site n’ọnwụ bụ onye ahụ unu gburu site
n’ịkpọgide ya n’elu osisi. 31 Chineke ebuliela ya elu n’aka nri nke ya onwe ya dị ka Ọkpara eze na Onye nzọpụta, ka o nwee ike inye ndị Izrel niile nchegharị na
mgbaghara mmehie. 32 Anyị bụ ndị ama nke ihe ndị a, Mmụọ Nsọ onye Chineke nyere ndị na-erubere ya isi bụkwa onyeama.”
33 Mgbe ha nụrụ nke a, ọ gbawara ha obi, ha chọọ igbu ha. 34 Ma otu onye n’ime ha
bụ onye Farisii, bụrụkwa onye ozizi iwu a na-asọpụrụ, aha ya bụ Gamaliel, biliri ọtọ
n’etiti ọgbakọ ahụ, nye iwu ka a kpọpụ ndị ozi ahụ n’ezi nwa oge nta. 35 Ọ sịrị ha,
“Ndị Izrel, leziekwanụ anya nke ọma ihe unu na-achọ ime ndị a. 36 N’oge gara aga
Teodas pụtara na-egosi na ya bụ onye pụrụ iche, ihe dịka narị mmadụ anọ sokwara
ya, mgbe e gburu ya, ndị niile sooro ya gbasasịrị ihe niile a kwụsịkwa. 37 Mgbe nke ya
gasịrị, Judas onye Galili pụtakwara gosi onwe ya n’oge a na-agụ ọnụọgụgụ mmadụ,

o nwetakwara ndị sooro ya. Mgbe e gbukwara ya, ndị niile na-eso ya gbasasịrị. 38 Ya
mere, agwa m unu, hapụnụ ndị a ka ha laara onwe ha. N’ihi na ọ bụrụ na ọrụ ha
bụ ọrụ mmadụ, ọ ga-akwụsị mgbe na-adịghị anya. 39 Ma ọ bụrụ na o sitere n’aka
Chineke, unu agaghị enwe ike ịkwụsị ndị ikom ndị a, unu ga-achọpụta naanị na unu
na-alụso Chineke ọgụ.”

40 Ọgbakọ ahụ nabatara ndụmọdụ ya. Ha kpọrọ ndị ozi ahụ pịa ha ihe, nyekwa ha
iwu ka ha kwụsị ikwu okwu n’aha Jisọs, hapụkwa ha ka ha laa.

41 Mgbe ha hapụrụ ọgbakọ ahụ, ha na-aṅụrị ọṅụ n’ihi na-agụnyere ha na ndị
kwesiri ịnara mkparị n’ihi aha ya. 42 Ụbọchị niile, n’ime ụlọnsọ ukwu ma n’ụlọ ndị
mmadụ ha na-akụzi ma na-ekwusa oziọma na Jisọs bụ Kraịst ahụ.

# 6

*Nhọpụta nke ndị inyeaka asaa*

1 N’oge ahụ mgbe ọnụọgụgụ ndị na-eso ụzọ ya bidoro ịmụba, ndị Juu na-asụ asụsụ
Griik mere mkpesa megide ndị Juu na-asụ asụsụ Hibru n’ihi na a na-elefuru ndị
inyom ha, ndị di ha nwụrụ anwụ anya na nri a na-eke kwa ụbọchị. 2 N’ihi nke a,
ndị ozi iri na abụọ ahụ kpọrọ ọgbakọ ndị niile na-eso ụzọ ya sị, “O zighị ezi na anyị
ga-ahapụ ikwusa oziọma Chineke bido na-eke nri. 3 Ụmụnna anyị, sitenụ n’etiti unu
họpụta ndị ikom asaa ndị a na-agbara ezi ama na ha jupụtara na Mmụọ Nsọ na
amamihe. Anyị ga-enyefe ha ọrụ a n’aka. 4 Ebe anyị onwe anyị, ga-enyefe onwe anyị
n’ọrụ ikpe ekpere, na ọrụ niile metụtara izisa oziọma.”

5 Mmadụ niile nabatara atụmatụ a nke ọma. Ha họpụtara Stivin, nwoke jupụtara
n’okwukwe na Mmụọ Nsọ. Ha họpụtakwara Filip, Prokorọs, Nikanọ, Timọn,
Pamenas na Nikolas, onye Antiọk na-eso ụzọ ofufe ndị Juu. 6 Ha chere mmadụ ndị a
n’ihu ndị ozi, ndị kpeere ha ekpere, bikwasịkwa ha aka n’isi.

7 Okwu Chineke gbasara nnọọ. Ọnụọgụgụ ndị na-eso ụzọ ya na Jerusalem bakwara
ụba. N’oge a, ọtụtụ ndị nchụaja nabatara na-erubekwa isi n’okwukwe.

*Njide e jidere Stivin*

8 Ugbu a, Stivin, nwoke jupụtara n’amara na n’ike Chineke rụrụ ọtụtụ ọrụ ebube
na ọrụ ịrịbama dị ukwuu n’etiti ndị mmadụ. 9 Mgbe ahụ ụfọdụ ndị Juu si n’ụlọ
nzukọ nke ndị nweere onwe ha (dị ka e si akpọ ya), na nke ndị Sirini na Alegzandria
nakwa ndị ọzọ sitere na mpaghara Silisia na Eshịa. Ha na Stivin malitere ịrụgharị
ụka. 10 Ma ha enweghị ike iguzogide amamihe na ike nke Mmụọ Nsọ nke o ji ekwu
okwu.

11 Mgbe ahụ, ha ji ụzọ nzuzo kpalie ụfọdụ ndị ikom ka ha sị, “Anyị nụrụ ka ọ
na-ekwujọ Mosis na Chineke.”

12 Ha kpasuru ndị mmadụ, ma ndị okenye ma ndị ozizi iwu. Ha bịakwutere ya
jide ya, kpụrụ ya gaa na nnọkọ ụlọ ikpe. 13 Ha kpọtakwara ndị bịara gbaa ama ụgha
megide ya sị, “Oge niile ka nwoke a na-ekwu okwu ọjọọ banyere ebe a dị nsọ na iwu
anyị. 14 Anyị nụrụ ka o kwuru, na Jisọs onye Nazaret a ga-akwatu ụlọ a, gbanwekwa
omenaala Mosis nyere anyị.”

15 Ndị niile nọ n’ụlọikpe ahụ legidere ya anya. Ha hụrụ ihu ya ka ọ na-enwu dị ka
ihu mmụọ ozi.

# 7

*Stivin agọrọ onwe ya*

1 Onyeisi nchụaja sịrị ya, “Ị nụrụ ihe ndị a, ọ bụ eziokwu?”

2 Ọ sịrị, "Ụmụnna m na ndị nna, geenụ m ntị. Chineke onye dị ebube gosiri nna
nna anyị Ebraham onwe ya mgbe ọ nọ na Mesopotamịa, tupu ọ gaa biri na Haran.
3 Ọ gwara ya, 'Site n'obodo gị na n'etiti ndị ikwu gị pụọ, gaa n'ala m ga-egosi gị.'*
4 "Ya mere, o sitere n'obodo ndị Kaldịa pụọ, gaa biri na Haran. Mgbe nna ya nwụrụ,
Chineke zitere ya n'ala a ebe unu bi ugbu a. 5 O nyeghị ya ihe nketa n'ebe a, ọ bụladị
ihe ruru otu nzọ ụkwụ. Ma o kwere ya nkwa na ọ ga-enye ya na ụmụ ụmụ ya ala
ahụ ka ọ bụrụ nke ha, n'agbanyeghị na ọ mụtaghị nwa. 6 Ma Chineke gwara ya otu
a, na, 'Ụmụ ụmụ ya ga-ebi dịka ndị ọbịa n'ala na-abụghị nke ha, ndị ga-eji ha mere
ohu, ma mejọọkwa ha narị afọ anọ. 7 Mana aga m ata mba ahụ ha na-efe dịka ohu
ahụhụ.'† Chineke kwukwara sị, 'Mgbe nke a gasịrị, ha ga-esi na mba ahụ pụta, bịa
fee m ofufe n'ebe a.'‡ 8 O nyere ya ọgbụgba ndụ nke obibi ugwu. Ebraham mụrụ
Aịzik bie ya ugwu n'ụbọchị nke asatọ. Aịzik amụta Jekọb, Jekọb amụta ndịisi ebo
iri na abụọ nke Izrel.
9 "N'ihi na ndị nna ochie ahụ nwere ekworo n'ebe Josef nọ. Ha resi ya ndị Ijipt
dịka ohu. Ma Chineke nọnyeere ya, 10 zọpụta ya na mkpagbu ya niile, mee ka o nwee
ihuọma na amamihe n'ihu Fero eze Ijipt. Onye mere ya onye ọchịchị n'ala Ijipt na
onye nlekọta nke ezinaụlọ ya niile.
11 "N'oge ahụ, ụnwụ dara n'ala Ijipt na n'ala Kenan. Ụnwụ a wetara ahụhụ dị
ukwuu. Nna nna anyị ha enwekwaghị ike ịchọta nri. 12 Ma mgbe Jekọb nụrụ na nri
ọka dị n'ala Ijipt, o zipụrụ nna nna anyị ha ka ha gaa njem mbụ ha n'Ijipt. Nke a bụ
oge nke mbụ ha na-aga Ijipt. 13 Mgbe ha gara Ijipt nke ugboro abụọ, Josef mere ka
ụmụnne ya mata ya, Fero matakwara ụmụnne Josef. 14 Mgbe ahụ, Josef ziri ozi ka a
kpọta nna ya bụ Jekọb na ndị ikwu ya, ndị dị iri mmadụ asaa na ise ka ha bịakwute
ya. 15 Jekọb gara Ijipt. Ebe ahụ ka ya na nna nna anyị ha nọkwa nwụọ. 16 E budatara
ozu ha na Shekem, ebe e liri ha n'ili nke Ebraham jiri ego ọlaọcha zụta n'aka ụmụ
Hamọ n'ala Shekem.
17 "Ma mgbe oge ahụ Chineke kwere Ebraham na nkwa na-abịaru nso, ndị Izrel
nọ n'Ijipt mụbara nke ukwuu, 18 ruo mgbe eze ọzọ nke na-amaghị Josef, bidoro ịchị
ọchịchị n'ala Ijipt.§ 19 O megburu ndị agbụrụ anyị, kpagbukwaa ha. Manye ndị nna
nna anyị ha ka ha tufuo ụmụ ọhụrụ ha, ka ha ghara ịdị ndụ.
20 "Ọ bụ n'oge a ka a mụrụ Mosis, ọ mara mma nke ukwuu n'anya Chineke. A zụrụ
ya naanị ọnwa atọ n'ụlọ nna ya. 21 Mgbe e tufuru ya, ada Fero kpọọrọ ya, zụọ ya dị
ka nwa nwoke nke aka ya. 22 A zụrụ Mosis n'amamihe niile nke ndị Ijipt, ọ bụrụ dike
n'okwu na n'ọrụ ịtụnanya.
23 "Mgbe ọ gbara iri afọ anọ, ọ batara ya n'uche ịga ileta ụmụnna ya ndị Izrel.
24 Mgbe ọ hụrụ otu onye n'ime ha nke onye Ijipt na-emegide ya, ọ lụtara ya ọgụ,
bọtakwara ya ọbọ site n'igbu onye Ijipt ahụ. 25 Mosis chere na ụmụnna ya ga-aghọta
na Chineke akpọlitela ya isite n'aka ya napụta ha. Ma ha aghọtaghị. 26 N'ụbọchị ọzọ
sonụ, Mosis hụrụ ụmụnna ya ndị Izrel abụọ ka ha na-alụ ọgụ. Ọ gbalịrị ime ka udo
dịrị n'etiti ha, sị, 'Unu bụ ụmụnna, gịnị mere unu ji emejọrịta onwe unu?'
27 "Ma nwoke ahụ nke na-emegbu nwanna ya nupuru ya sị, 'Onye mere gị onyeisi
na onye ikpe n'etiti anyị? 28 Ị na-achọ igbu m dị ka i si gbuo onye Ijipt ụnyaahụ?'*
29 Mgbe ọ nụrụ nke a, Mosis gbara ọsọ, gaa biri dị ka ọbịa n'ala Midia. N'ebe ahụ ka
ọ nọ mụta ụmụ nwoke abụọ.
30 "Mgbe iri afọ anọ gafere, e mere ka Mosis hụ mmụọ ozi n'ọkụ na-ere ọhịa dị
n'ọzara, n'akụkụ Ugwu Saịnaị. 31 Ma mgbe ọ hụrụ nke a, o juru ya anya. Dị ka ọ
na-agaru nso ka o leruo ya anya, ọ nụrụ olu Onyenwe anyị ka ọ dara, sị, 32 'Abụ m
Chineke nna nna gị ha. Chineke nke Ebraham, nke Aịzik na nke Jekọb.'† Ụjọ mere

* **7:3** 7:3 Jen 12:1 † **7:7** 7:7 Ya bụ, kpee ha ikpe ‡ **7:7** 7:7 Jen 15:13,14 § **7:18** 7:18 Ọpụ 1:8 * **7:28** 7:28 Ọpụ 2:14 † **7:32** 7:32 Ọpụ 3:6

ka Mosis maa jijiji, na o nweghị ike ilegide ya anya.
33 “Ma Onyenwe anyị gwara ya, ‘Yipụ akpụkpọụkwụ gị. N’ihi na ebe ahụ i guzo
bụ ala dị nsọ. 34 Ahụla m otu e si akpagbu ndị m nọ n’ala Ijipt. Anụla m ịsụ ude ha
bịakwa ịzọpụta ha. Ugbu a bịa, aga m ezighachi gị n’Ijipt.’‡
35 “Ọ bụ otu Mosis ahụ ha jụrụ ajụ, mgbe ha sịrị, ‘Onye mere gị onyeisi na onye
ikpe?’ Ọ bụkwa ya ka Chineke zigara ị bụ onyeisi na onye nnapụta ha, site n’inyeaka
mmụọ ozi ahụ mere ka ọ hụ ya n’ọhịa ahụ. 36 O duuru ha pụta mgbe ọ rụsịrị ọrụ
ebube na ihe ịrịbama dị iche iche n’ala Ijipt, na n’Osimiri Uhie na n’ọzara iri afọ
anọ.
37 “Onye a bụ Mosis ahụ gwara ụmụ Izrel, sị, ‘Chineke ga-eme ka onye amụma nke
dị ka m, biliere unu site n’etiti ụmụnne unu.’§ 38 Ya onwe ya nọ n’ọgbakọ n’ọzara,
ya na mmụọ ozi ahụ gwara ya okwu n’Ugwu Saịnaị, na nna nna anyị ha; ebe ọ
natakwara okwu dị ndụ* inye anyị.
39 “Ma nna nna anyị ha jụrụ irubere ya isi. Kama ha nupuru ya n’akụkụ, ma
tụgharịa laghachi azụ n’Ijipt n’obi ha, 40 na-asị Erọn, ‘Meere anyị chi, ndị nke ga-edu
anyị, n’ihi na anyị amaghị ihe mere nwoke a bụ Mosis, onye sitere n’ala Ijipt dupụta
anyị.’† 41 Ha kpụụrụ onwe ha arụsị nke oyiyi nwa ehi, ha butere ihe ịchụ aja nye ya.
Ha ṅụrịrị ọṅụ n’ọrụ nke aka ha. 42 Ma Chineke chepuru ihu ya site n’ebe ha nọ. Ọ
rara ha nye ikpere usuu ihe dị n’eluigwe.‡ Nke a dabara n’ihe e dere n’akwụkwọ ndị
amụma,
“ ‘Unu ụlọ Izrel, unu o wetara m onyinye anụ e gburu egbu ka ọ dị aja§ unu chụụrụ m
iri afọ anọ unu nọrọ n’ọzara?
43 Unu buliri ụlọ ikwu nke Mọlọk
na kpakpando nke chi unu bụ Refan,
bụ arụsị ndị ahụ unu mere ịkpọ isiala nye ha.
Ya mere, aga m ewezuga unu, burukwa unu gaa n’ofe obodo Babilọn.’*
44 “Ndị nna nna anyị ha nwere ụlọ ikwu nke iwu ọgbụgba ndụ n’ọzara. E mere
ya site na ntụziaka na usoro ihe atụ Chineke gosiri Mosis. 45 Mgbe Joshua duuru nna
nna anyị ha nweta ala ndị mba ọzọ ndị Chineke chụpụrụ. E butekwara igbe ọgbụgba
ndụ a n’ala ahụ. Ọ nọgidekwara n’ala ahụ tutu ruo n’oge Devid. 46 Onye chọtara
ihuọma n’ebe Chineke nọ, ma rịọ ka o wuore Chineke nke Jekọb ebe obibi. 47 Ma ọ
bụ Solomọn wuru ya ụlọ ahụ.
48 “Otu ọ dị, Onye kachasị ihe niile elu adịghị ebi n’ụlọ e ji aka wuo, dịka onye
amụma kwuru,
49 “ ‘Eluigwe bụ ocheeze m.
Ụwa bụkwa ebe mgbakwasị ụkwụ m.
Ụdị ụlọ dị aṅaa ka unu ga-ewuru m?
Maọbụ ebee ka ebe izuike m ga-adị?
Ka Onyenwe anyị kwuru.
50 Ọ bụghị aka m mere ihe ndị a niile?’†
51 “Unu ndị isiike! Ndị obi ha, na ntị ha kpọchiri akpọchi ịnụ ihe. Ndị na-ajụ
ịnabata Mmụọ Nsọ dịka nna nna unu ha mere. 52 Ọ dị onye amụma ndị nna unu
ha na-akpọgbughị? Ha gburu ọ bụladị ndị buru amụma banyere ọbịbịa nke onye
ezi omume ahụ, ma ugbu a unu bụ ndị raara ya nye ma gbukwaa ya. 53 Unu bụ ndị
natara iwu Chineke dịka e nyere ya site n’aka ndị mmụọ ozi, ma unu edebeghị ya.”

### *Ọnwụ Stivin*

‡ **7:34** 7:34 Ọpụ 3:5,7,8,10 § **7:37** 7:37 Dit 18:15 * **7:38** 7:38 Okwu si n’ọnụ Chineke pụta † **7:40** 7:40 Ọpụ 32:1 ‡ **7:42** 7:42 Anyanwụ, ọnwa na kpakpando dị iche iche § **7:42** 7:42 Ọ bụ aja unu chụrụ m * **7:43** 7:43 Ems 5:25-27 † **7:50** 7:50 Aịz 66:1,2

54 Mgbe ha nụrụ ihe ndị a, iwe were ha nke ukwu. Ha tara ikikere eze n'iwe na
n'ọnụma n'ebe ọ nọ. 55 Ma ebe o jupụtara na Mmụọ Nsọ, o lere anya n'eluigwe hụ
ebube Chineke. Ọ hụkwara Jisọs ka o guzoro n'aka nri Chineke. 56 Ọ sịrị, "Lee, ana m
ahụ ka eluigwe meghere, hụkwa Nwa nke Mmadụ ka ọ na-eguzo n'aka nri Chineke."
57 Ha mere ụzụ dị ukwuu, were mkpịsịaka ha rụchie ntị ha. Ha niile gbara ọsọ
gaa nụkwasị ya, 58 dọkpụrụ ya pụọ n'azụ obodo malite ịtụ ya nkume. N'oge a, ndị
akaebe wụsara uwe ha n'ụkwụ otu nwokorobịa a na-akpọ Sọl.
59 Mgbe ha na-atụ Stivin nkume ahụ, o kpere ekpere, "Onyenwe anyị Jisọs, nara
mmụọ m." 60 O gburu ikpere n'ala werekwa oke olu tie mkpu, "Onyenwe anyị, biko
agụnyekwarala ha mmehie nke a!" Mgbe o kwusiri nke a, ọ dara n'ala nwụọ.

# 8

1 Sọl kwenyere ka e gbuo ya.

### *Mkpagbu nke nzukọ Kraịst*

N'ụbọchị ahụ, oke mkpagbu bidoro megide nzukọ dị na Jerusalem. Ndị niile kwere
ekwe, ma ewezuga ndị ozi n'onwe ha gbasasịrị n'ala Judịa na Sameria. 2 Ndị ikom,
ndị na-atụ egwu Chineke, bịara buru ozu Stivin gaa lie ya. Ha ruru ụjụ nke ukwuu
n'ihi ya. 3 Ma Sọl bidoro ịla nzukọ n'iyi. Ọ na-abanye site n'ụlọ ga n'ụlọ ndị kwere
ekwe na-adọpụta ha, nwoke na nwanyị, tinye ha n'ụlọ mkpọrọ.

### *Filip n'obodo Sameria*

4 Ndị ahụ a chụsasịrị zisara oziọma n'ebe niile ha gbagara. 5 Filip gara n'otu obodo
dị na Sameria kwusaara ndị nọ n'ebe ahụ ihe banyere Kraịst. 6 Igwe mmadụ gere
ntị n'ihe Filip na-ekwu n'ihi na ha hụrụ ọrụ ịrịbama ọ rụrụ. 7 Mmụọ ndị ahụ na-
adịghị ọcha ji iti mkpu site n'ime ọtụtụ mmadụ pụta. Ọ gwọkwara ọtụtụ ndị ahụ ha
kpọnwụrụ akpọnwụ na ndị ngwụrọ. 8 N'ihi ya, ọṅụ dị ukwuu jupụtara n'obodo ahụ.

### *Saimọn onye mgbaasị*

9 Ugbu a, kemgbe ọtụtụ oge gara aga, otu nwoke aha ya bụ Saimọn bụ onye mgbaasị.
O jirila mgbaasị ya mee ọtụtụ ihe tụrụ ndị niile bi n'obodo Sameria n'anya. Ọ na-
anyakwa isi na ya bụ onye dị ukwu. 10 Onye ọbụla, ma onye ukwu ma onye nta,
na-ege ya ntị na-asịkwa "Nwoke a bụ ike Chineke ahụ a na-akpọ Ike dị ukwuu."
11 Ha na-ege ya ntị oge niile n'ihi na ọ na-eji ike mgbaasị ya na-eme ihe juru ha anya.
12 Ma mgbe ha kwenyere n'oziọma Filip dịka ọ na-ekwusa ihe banyere oziọma alaeze
Chineke na aha Jisọs Kraịst, e mere ha baptizim, ma nwoke ma nwanyị ha. 13 Saimọn
kwerekwara otu aka ahụ. Mgbe e mechara ya baptizim, o bidoro iso Filip na-agagharị
n'ihi ihe ịrịbama na ọrụ ebube niile Filip rụrụ, tụrụ ya n'anya nke ukwuu.
14 Mgbe ndị ozi nọ na Jerusalem nụrụ na ndị Sameria anabatala okwu nke Chineke,
ha zigaara ha Pita na Jọn. 15 Mgbe ha bịaruru, ha kpere ekpere ka ha nata Mmụọ
Nsọ. 16 N'ihi na Mmụọ Nsọ abịakwasịbeghị onye ọbụla n'ime ha, kama ihe e mere
ha bụ baptizim n'aha Onyenwe anyị Jisọs. 17 Mgbe Pita na Jọn bikwasịrị ha aka n'isi,
ha natara Mmụọ Nsọ.
18 Mgbe Saimọn hụrụ na a na-enye Mmụọ Nsọ naanị site n'aka ndị ozi bikwasịrị
ha n'isi, o chere ha ego n'ihu, 19 sị, "nyekwanụ m ike a. Ka onye ọbụla m bikwasịrị
aka n'isi nata Mmụọ Nsọ."
20 Ma Pita sịrị, "Gị na ego gị laakwa n'iyi. N'ihi na i chere na ị ga-eji ego zụta
onyinye Chineke. 21 I nweghị oke maọbụ ihe nketa n'ọrụ a, n'ihi na obi gị ezighị ezi
n'ihu Chineke. 22 Si n'ajọ omume gị chegharịa, rịọ Onyenwe anyị arịrịọ ma eleghị
anya ọ ga-agbaghara gị echiche ọjọọ niile nke obi gị. 23 N'ihi na ahụrụ m na ị jupụtara
n'obi ilu na ị nọkwa n'agbụ nke ajọ omume."

24 Saimọn zara Pita sị, “Biko, kpee ekpere rịọrọ m Chineke, ka ihe ndị a niile i
kwuru, hapụ ịbịakwasị m.”
25 Mgbe ha gbachara akaebe, ma kwusaakwa okwu nke Onyenwe anyị, ha
lọghachiri Jerusalem. Ma mgbe ha na-ala ha zisara oziọma n’ọtụtụ obodo ndị
Sameria.

### *Filip na onye onozi Itiopia*

26 Mgbe ahụ mmụọ ozi Onyenwe anyị gwara Filip sị, “Gaa na ndịda, n’ụzọ ọzara
nke siri Jerusalem gawa Gaza, ụzọ ahụ bụ ụzọ ọzara.” 27 O biliri gawa. Mgbe ahụ,
otu onye Itiopia bụ onye onozi, bụrụkwa onyeisi ozi dị mkpa, onye na-eche akụ
nke Kandis, eze nwanyị ndị Itiopia, gara Jerusalem ife Chineke. 28 Mgbe ọ na-ala,
ọ nọdụrụ ala n’ụgbọala ya, nke ịnyịnya na-adọkpụgharị, na-agụ akwụkwọ Aịzaya
onye amụma. 29 Mmụọ Nsọ gwara Filip, “Gaa ụgbọ ahụ nso, sonyekwara ya.”
30 Filip gara nso, nụkwa ka ọ na-agụ akwụkwọ Aịzaya onye amụma. Ọ sịrị, “Ị
na-aghọta ihe ị na-agụ?”
31 Ọ sịrị, “M ga-esi aṅaa ghọta, ma mmadụ ezighị m?” Ọ rịọrọ Filip ka ọ rigota
n’ụgbọala ahụ, soro ya nọdụ n’ime ya.
32 Mpaghara akwụkwọ nsọ ọ na-agụ bụ nke a,
“E duuru ya dị ka atụrụ gaa n’ebe a ga-egbu ya.
Dịka nwa atụrụ na-anọ nwayọọ n’ihu onye na-akpacha ya ajị,
otu a ka ọ na-emegheghị ọnụ ya.
33 N’ọnọdụ ịdị ala ya, e meghị ka ikpe ziri ezi ruo ya aka.
Onye ga-akọ akụkọ banyere agbụrụ ya?
N’ihi na e sitere n’ụwa wepụ ndụ ya.”*
34 Onozi ahụ jụrụ Filip, “Biko, gwa m, onye ka onye amụma a na-ekwu okwu ya?
Ọ bụ ihe banyere onwe ya ka ọ na-ekwu, ka ọ bụ banyere onye ọzọ?” 35 Mgbe ahụ,
Filip malitere ikwu okwu, site n’akụkọ akwụkwọ nsọ ọ na-agụ kọọrọ ya akụkọ oziọma
banyere Jisọs.
36 Mgbe ha na-aga n’ụzọ, ha bịaruru ebe ọdọ mmiri nta dị. Onozi ahụ sịrị, “Lee,
nke a bụ mmiri. Ọ dị ihe ga-egbochi ime m baptizim?”
37 Filip sịrị, “Ọ bụrụ na i ji obi gị niile kwere, e nwere ike ime gị baptizim.”
Onozi ahụ sịrị, “Ekwere m na Jisọs Kraịst bụ Ọkpara Chineke.”† 38 O kwuru ka a
kwụsị ụgbọala ahụ. Mgbe ahụ, onozi ahụ na Filip wụdatara banye n’ime mmiri ebe
Filip nọ mee ya baptizim. 39 Mgbe ha sitere n’ime mmiri ahụ pụta, ngwangwa Mmụọ
Onyenwe anyị sitere n’ebe ahụ wepụ Filip, onye onozi ahụ ahụkwaghị ya anya ọzọ;
kama ọ gara n’ihu n’ije ya na-aṅụrịkwa ọṅụ. 40 Ebe ọzọ a hụrụ Filip bụ n’Azọtus.
O jegharịkwara n’obodo niile dị n’ala ahụ, na-ekwusa oziọma ruo mgbe ọ bịaruru
Sizaria.

## 9

### *Nchegharị Sọl*

1 Ma ugbu a, Sọl, onye ume niile ọ na-ekupụta bụ naanị ịba mba na igbu ndị na-eso
ụzọ Onyenwe anyị, gakwuuru onyeisi nchụaja, 2 rịọ ya ka o nye ya akwụkwọ ozi nke
ọ ga-eji jekwuru ndị ụlọ nzukọ ndị Juu dị na Damaskọs, nke ọ ga-abụ ọ hụ onye ọbụla
na-eso Ụzọ ahụ ma ha bụ nwoke ma ha bụ nwanyị, ka ọdọkpụrụ ha n’agbụ, kpụgaa
Jerusalem. 3 Mgbe ọ na-aga n’ụzọ, ọ bịaruru ebe dị Damaskọs nso. Na mberede, ihe
ìhè nke sitere n’eluigwe chara ya gburugburu. 4 Ọ dara n’ala, nụ olu na-akpọ ya oku,
“Sọl, Sọl, gịnị mere i ji na-akpagbu m?”

* **8:33** 8:33 Aịz 53:7,8 † **8:37** 8:37 Ụfọdụ akwụkwọ adịghị edebanye amaokwu a na-ekwu banyere ihe Filip kwuru na ihe onozi zara ya.

5 Ọ sịrị, "Ị bụ onye, Onyenwe anyị?"

Olu ahụ zaghachiri, "Abụ m Jisọs onye ị na-akpagbu. 6 Ugbu a, bilie, baa n'ime
obodo, a ga-agwa gị ihe ị na-aghaghị imezu."

7 Ndị ikom ha na ya so aga guzoro n'ebe ahụ, ma ha enweghị ike ikwu okwu. Ha
nụrụ olu ahụ, ma ha ahụghị onye ọbụla. 8 Sọl si n'ala bilie, ma n'agbanyeghị n'anya
ya meghere emeghe, ọ dịghị ihe o nwere ike ịhụ. Nke a mere na ha sekpụrụ ya n'aka
dubata ya na Damaskọs. 9 Ọ hụghị ụzọ ụbọchị atọ, o nweghị ike iri nri maọbụ ṅụọ
ihe ọṅụṅụ.

10 Otu onye nke na-eso ụzọ ya nọ na Damaskọs, a na-akpọ Ananayas. Onyenwe
anyị gwara ya n'ọhụ, "Ananayas!"

Ọ sịrị, "Lee m, Onyenwe anyị."

11 Onyenwe anyị gwara ya, "Gaa n'ụlọ Judas nke dị n'okporoụzọ Guzoziri Eguzo,
jụọ ajụjụ banyere onye a na-akpọ Sọl, onye si Tasọs, ọ nọ ugbu a na-ekpe ekpere. 12 Ọ
hụla ọhụ na otu nwoke a na-akpọ Ananayas na-abịakwute ya, ibikwasị ya aka n'isi
ka ọ hụ ụzọ."

13 Ma Ananayas zara, "Onyenwe anyị, anụla m akụkọ ihe ọjọọ niile nwoke a mere
ndị nsọ gị bi na Jerusalem. 14 Ugbu a, ọ natara ikike n'aka ndịisi nchụaja bịa n'ebe a
ka o jide ndị niile na-akpọku aha gị."

15 Ma Onyenwe anyị gwara ya, "Gaa, n'ihi na ahọpụtala m nwoke a ka ọ bụrụ ngwa
ọrụ m, onye ga-ewegara mba ndị ọzọ, ndị eze na ụmụ Izrel aha m. 16 Mụ onwe m
ga-egosi ya ụdị ahụhụ ọ na-aghaghị ịta n'ihi aha m."

17 Ya mere, Ananayas garuru n'ụlọ ahụ, banyekwa n'ime ya. Ọ bikwasịrị aka ya
n'isi Sọl, sị, "Nwanna Sọl, Onyenwe anyị Jisọs, onye gosiri gị onwe ya n'ụzọ, zitere
m ka ị hụkwa ụzọ ọzọ, ka ị jupụtakwa na Mmụọ Nsọ." 18 Otu mgbe ahụ, ihe dịka
akpịrịkpa sitere n'anya ya dapụta, o bidokwara ịhụ ụzọ ọzọ. O biliri ọtọ, e mee ya
baptizim. 19 Mgbe o richara nri, ọ nwetakwara ike ya.

### *Oziọma Sọl na Damaskọs*

Ya na ndị na-eso ụzọ Jisọs nọrọ na Damaskọs ọtụtụ ụbọchị. 20 Ngwangwa, o bidoro
ikwusa Jisọs n'ụlọ nzukọ na-asị, Ọ bụ Ọkpara Chineke. 21 O juru ndị niile nụrụ ya
anya, ha na asị, "Ọ bụghị nwoke a bụ onye ahụ na-emekpa ndị niile na-akpọku aha
ahụ na Jerusalem? Ọ bụ na ọ bụghị maka nke a ka o ji bịa ebe a ịkpụrụkwa ha
kpụgara ndịisi nchụaja?" 22 Ma Sọl gara n'ihu baa ụba n'ike karịa na ikwu okwu
nke gbara ndị Juu bi n'obodo Damaskọs gharịị site n'ụzọ o siri gosi na Jisọs bụ Kraịst
ahụ.

23 Mgbe ọtụtụ ụbọchị gasịrị ndị Juu gbara izu igbu ya. 24 Ma Sọl chọpụtara ihe ha
zubere ime. Ehihie na abalị, ndị a nọ na-eche ụzọ niile e si apụ n'obodo ahụ nche,
ka ha nwe ike gbuo ya. 25 Ma ụmụazụ ya kunyere ya na nkata amanyere ụdọ bufee
ya n'ofe mgbidi nke obodo.

### *Mbata Sọl na Jerusalem*

26 Mgbe o rutere Jerusalem, ọ gbalịrị ịdịnyere ndị na-eso ụzọ Jisọs nọ n'ebe ahụ, ma
ha tụrụ egwu. Ha ekwenyeghị na ọ ghọọla ezi onye na-eso ụzọ Jisọs dịka ha. 27 Ma
Banabas duuru ya gaa n'ebe ndị ozi nọ. Ọ kọọrọ ha akụkọ otu o siri hụ Onyenwe anyị
na otu o siri gwakwa ya okwu. Na otu o siri kwusaa oziọma n'aha Jisọs na Damaskọs
na-atụghị egwu. 28 O soro ha na-agagharị na Jerusalem. Ọ na-ekwusakwa okwu n'aha
Onyenwe anyị na-atụghị egwu. 29 Ya na ndị Juu na-asụ asụsụ Griik rụrịtakwara ụka.
N'ihi ya ndị a gbara izu igbu ya. 30 Mgbe ndị kwere ekwe nụrụ banyere nzube ha, ha
duuru ya gaa Sizaria site n'ebe ahụ zipụ ya ka ọ laa obodo Tasọs.

31 Mgbe ahụ, nzukọ niile ndị nọ na Judịa, Galili na Sameria, nọọrọ n'udo,
guzosiekwa ike. Ha na-amụba n'ọnụọgụgụ site n'ịtụ egwu nke Onyenwe anyị na
ịgbaume nke Mmụọ Nsọ.

*Ọgwụgwọ Ainias na Dọkas*

32 Pita na-ejegharị n'etiti ndị kwere ekwe, ọ gakwara leta ndị nsọ nọ n'obodo Lida.
33 N'ebe ahụ, ọ hụrụ otu nwoke aha ya bụ Ainias. Nwoke a anọọla n'ute ọrịa afọ
asatọ. Ọ bụ onye ahụ ya kpọnwụrụ akpọnwụ. 34 Pita sịrị ya, "Ainias, Jisọs Kraịst
agwọọla gị. Bilie mezie ute gị." Ngwangwa, Ainias biliri ọtọ. 35 Ndị niile bi na Lida
na Sharọn hụrụ ya. N'ihi ya, ha nabatara Onyenwe anyị.
36 N'obodo Jopa, e nwere otu onye nwanyị na-eso ụzọ ya, nke aha ya bụ Tabita nke
pụtakwara Dọkas na asụsụ Griik. O jupụtara n'ọrụ ọma, na ọrụ obi ebere n'ebe
ụmụ ogbenye nọ. 37 N'oge a, ọ rịara ọrịa, nwụọ. Mgbe ha sachara ya ahụ, ha nibere
ya n'otu ime ụlọ dị n'ụlọ elu. 38 Jopa dịkwa nso na Lida. Mgbe ndị na-eso ụzọ ya nụrụ
na Pita nọ n'ebe ahụ, ha ziri ụmụ nwoke abụọ ozi ka a rịọọ ya, sị, "Biko, ahapụla
ịbịakwute anyị ngwangwa."
39 Pita biliri soro ha gawa, mgbe o ruru, ha duuru ya gbago n'ụlọ elu n'ime ụlọ
ahụ. Ụmụ nwanyị niile di ha nwụrụ anwụ nọ n'ebe ahụ na-ebe akwa, na-egosi uwe
Dọkas dụụrụ ha mgbe ọ dị ndụ.
40 Pita chụpụrụ ha niile n'ezi, gbuo ikpere n'ala, kpee ekpere. Ọ tụgharịrị chee ozu
ahụ ihu sị, "Tabita, bilie." O meghere anya ya, ma mgbe ọ hụrụ Pita, o biliri, nọdụ
ala. 41 O nyeere ya aka ka ọ kwụrụ ọtọ. Ọ kpọrọ ndị nsọ niile nọ n'ebe ahụ, ha na
ụmụ nwanyị ahụ di ha nwụrụ gosi ha na ọ dị ndụ. 42 A nụrụ akụkọ ihe a mere n'ebe
niile na Jopa, nke mere ka ọtụtụ kwere n'Onyenwe anyị. 43 Ọ nọgidere na Jopa ọtụtụ
ụbọchị. Ọ nọdụrụ n'ụlọ Saimọn, onye ọrụ ya bụ idozi akpụkpọ anụ.

# 10

*Kọneliọs ezie Pita ozi*

1 N'oge ahụ, o nwere otu nwoke bi na Sizaria, aha ya bụ Kọneliọs. O bụ ọchịagha
na-elekọta narị ndị agha si na mpaghara Itali. 2 Nwoke a na ezinaụlọ ya bụ ndị na-
asọpụrụ ma na-atụkwa egwu Chineke. Ọ na-enyere ndị ogbenye aka na-ekpekwara
Chineke mgbe niile. 3 Otu ụbọchị, n'ihe dịka elekere atọ nke ehihie, ọ hụrụ ọhụ ebe
otu mmụọ ozi nke Chineke bịakwutere ya sị ya, "Kọneliọs!"
4 Kọneliọs lekwasịrị ya anya n'egwu jụọ ya sị, "Onyenwe m, ọ bụ gịnị?"
Ọ sịrị ya, "Ekpere gị na onyinye gị nye ndị ogbenye e rutela dịka ihe ncheta n'ihu
Chineke. 5 Ugbu a, zie ndị ikom ka ha gaa n'obodo Jopa kpọta otu onye aha ya bụ
Saimọn, onye a na-akpọkwa Pita. 6 Ọ bụ ọbịa n'ụlọ otu nwoke a na-akpọ Saimọn,
onye na-edozi akpụkpọ anụ. Onye ụlọ ya dị n'akụkụ osimiri."
7 Mgbe mmụọ ozi ahụ gwara ya okwu pụrụ, ọ kpọrọ ndị ohu ya abụọ na otu n'ime
ndị agha na-eche ya nche nke na-atụkwa egwu Chineke. 8 Mgbe ọ kọchara ha ihe
niile, o zigara ha Jopa.

*Ọhụ Pita hụrụ*

9 N'echi ya, mgbe ha nọ nso n'ebe ahụ, n'ihe dịka elekere iri na abụọ nke ehihie,
Pita rigooro n'elu ụlọ ahụ ikpe ekpere. 10 Agụụ bidoro ịgụ ya, ọ chọọ ihe ọ ga-eri. Ma
mgbe a na-akwado nri, ọ hụrụ ọhụ. 11 Ọ hụrụ ka eluigwe meghere, hụkwa ihe dịka
akwa ọcha dị obosara nke e sitere n'akụkụ anọ ya na-ewedata n'ala. 12 Ihe dị n'ime
ya: bụ ụmụ anụmanụ dị iche iche, ndị nwere ụkwụ anọ, ma anụ ndị na-akpụ akpụ
n'ala na ụmụ nnụnụ nke igwe. 13 Mgbe ahụ, ọ nụrụ olu na-asị, "Pita bilie, gbuo ma
riekwa."

14 Ma Pita sịrị, “Mba, Onyenwe m. Ọ dịbeghị mgbe m riri ihe ọbụla rụrụ arụ maọbụ
nke na-adịghị ọcha.”
15 Olu ahụ gwara ya nke ugboro abụọ, “Akpọla ihe ọbụla ihe rụrụ arụ bụ nke
Chineke mere ka ọ dị ọcha.”
16 Ihe a mere ugboro atọ, ngwangwa, e weghachikwara ya n’eluigwe.
17 Mgbe Pita nọ na-atule ihe ọhụ ahụ pụtara bụ nke gbakwara ya gharịị, lee, ndị
ikom ahụ Kọneliọs zipụrụ abịarutela kwụsị n’ọnụ ụzọ, na-ajụ ebe ụlọ Saimọn dị.
18 Ha kpọrọ oku ịjụ ma Saimọn onye a na-akpọ Pita ọ nọ n’ụlọ ahụ.
19 Ka Pita nọrịị na-atụgharị uche n’ihe ọhụ ahụ pụtara, Mmụọ Nsọ gwara ya, “Lee,
mmadụ atọ guzo n’ọnụ ụzọ ugbu a. Ha chọkwara ịhụ gị. 20 Bilie, rịda jekwuru ha
ngwangwa, enwela obi abụọ ị soro ha gawa, n’ihi na ọ bụ m zitere ha.”
21 Pita jekwuru ndị ikom ahụ, sị, “Ọ bụ m bụ onye unu na-achọ, gịnị ka unu na-
achọrọ m?”
22 Ha sịrị, “Ọ bụ Kọneliọs onyeisi agha na-elekọta narị ndị agha zitere anyị. Ọ bụ
onye ezi omume nke na-atụ egwu Chineke, bụrụkwa onye ndị Juu niile na-asọpụrụ.
Mmụọ ozi dị nsọ gwara ya ka ọ kpọta gị n’ụlọ ya, ịnụ ihe i nwere ikwu.” 23 Ya mere,
ọ kpọbatara ha n’ụlọ dịka ndị ọbịa.

### *Pita agaa n’ụlọ Kọneliọs*

Echi ya, o biliri soro ha gawa, ụfọdụ ndị kwere ekwe na Jopa sokwara ya gaa.
24 N’ụbọchị na-esota ya, ha bịaruru Sizaria. Kọneliọs nọrịị na-eche ha, ya na ndị
ezinaụlọ ya, na ndị ikwu na ibe ya, na ndị enyi ya ọ kpọrọ. 25 Mgbe Pita batara,
Kọneliọs zutere ya, daa n’ala n’ụkwụ ya, kpọọrọ ya isi n’ala. 26 Ma Pita selitara ya
elu sị, “Bilie ọtọ, mụ onwe m bụkwa mmadụ.”
27 Mgbe ha na-ekwurịta okwu, ọ banyere n’ime ụlọ ma hụ igwe mmadụ ka ha
zukọtara. 28 Ọ sịrị ha, “Unu maara nke ọma na ọ bụ ihe megidere iwu na onye Juu
na onye mba ọzọ ga-enwe mmekọrịta maọbụ gaa leta onye mba ọzọ. Ma Chineke
ezila m na m ekwesighị ịkpọ mmadụ ọbụla onye rụrụ arụ maọbụ onye na-adịghị
ọcha. 29 N’ihi nke a, ọ bụ ya mere m jiri bịa mgbe akpọrọ m na-ajụghị ajụjụ. Ma ka
m jụọ ugbu a ihe mere unu ji kpọọ m?”
30 Kọneliọs sịrị, “N’ụbọchị anọ gara aga, mgbe m nọ na-ekpe ekpere n’oge ehihie
n’ụlọ m, n’ihe dịka elekere atọ, na mberede, ahụrụ m nwoke yi uwe na-enwu ọcha ka
o guzoro n’ihu m. 31 Ọ sịrị, Kọneliọs, ‘Chineke anụla ekpere gị ma chetakwa onyinye
ị na-enye ndị ogbenye. 32 Ziga n’obodo Jopa n’ụlọ otu nwoke a na-akpọ Saimọn, onye
na-edozi akpụkpọ anụ. O bi n’akụkụ osimiri.’ N’ebe ahụ ha ga-ahụkwa otu onye
ọbịa aha ya bụ Saimọn a na-akpọ Pita. 33 Ọ bụ n’ihi nke a ka m ji mee ngwangwa
zie ka a kpọọ gị. Ọ dị mma na ị bịara. Ugbu a, anyị niile ezukọtala n’ebe a n’ihu
Chineke ịnụrụ ihe niile Onyenwe anyị chọrọ ka ị gwa anyị.”

### *Okwu Pita kwuru*

34 Mgbe ahụ Pita meghere ọnụ ya sị, “Ugbu a, aghọtala m n’ezie na Chineke abụghị
onye na-ele mmadụ anya n’ihu. 35 Kama n’ime mba ọbụla, onye ọbụla na-atụ egwu
ya na onye na-arụ ọrụ ezi omume ka ọ na-anabata. 36 Unu maara ihe banyere oziọma
ahụ o zigaara ndị Izrel niile, nke na-akọ akụkọ oziọma nke udo site na Jisọs Kraịst
onye bụ Onyenwe anyị n’ihe niile. 37 Okwu ahụ gbasara n’ala Judịa niile, malite
na Galili mgbe Jọn kwusachara baptizim nke ya. 38 Otu Chineke si were Mmụọ Nsọ
na ike wụkwasị Jisọs onye Nazaret dịka mmanụ, na otu o si jegharịa na-eme mma
na-agwọkwa ndị niile ekwensu na-emekpa ahụ, n’ihi na Chineke nọnyeere ya.
39 “Anyị bụ ndị akaebe ihe niile o mere n’ala ndị Juu na n’ime Jerusalem. Ha gburu
ya site n’ịkpọgide ya n’elu obe. 40 Ma Chineke mere ka o si n’ọnwụ bilite mgbe ụbọchị
atọ gasịrị. E mekwara ka ndị mmadụ hụ ya anya. 41 Ọ bụghị mmadụ niile kama ọ

bụ naanị anyị ndị Chineke họpụtara, dịka ndị akaebe, ndị soro ya rie ma ṅụọkwa
mgbe o si n'ọnwụ bilie. 42 O nyere anyị iwu ka anyị gaa zisaa oziọma n'ebe niile,
ịkọwa na ọ bụ ya ka Chineke họpụtara ịbụ onye ikpe nke ndị dị ndụ na ndị nwụrụ
anwụ. 43 Ndị amụma niile gbara ama ihe banyere ya na onye ọbụla nke kweere na
ya ga-enweta mgbaghara mmehie site n'aha ya."

### *Ndị mba ọzọ anata Mmụọ Nsọ*

44 Mgbe Pita nọ na-ekwu okwu, Mmụọ Nsọ bịakwasịrị ndị niile nụrụ okwu a. 45 Nke
a juru ndị e biri ugwu n'etiti ndị kwere ekwe soro Pita bịa anya otu e siri mee ka
ndị mba ọzọ nata onyinye Mmụọ Nsọ ahụ. 46 N'ihi na ha nụrụ ka ha na-ekwu okwu
n'asụsụ dị iche iche na-etokwa Chineke.
Mgbe ahụ Pita jụrụ, 47 "Ọ dị onye pụrụ igbochi anyị ime ndị a baptizim. Ndị natara
Mmụọ Nsọ dị ka anyị onwe anyị?" 48 N'ihi nke a, o nyere iwu ka e mee ha baptizim
n'aha Jisọs Kraịst. Ha rịọrọ ya ka ọ nọnyere ha ụbọchị ole na ole.

## 11

### *Pita akọwaa ọrụ ya n'ihu ndị okenye*

1 Ndị ozi na ụmụnna ndị bi na Judịa niile nụrụ na ndị mba ọzọ anabatala okwu
Chineke. 2 Mgbe Pita ruru Jerusalem, ndị kwere ekwe e biri ugwu tara ya ụta, 3 na-asị,
"Gịnị mere ị ji gakwuru ndị a na-ebighị ugwu soro ha rie ihe?"
4 Pita kọwaara ha ihe niile mere na otu o si mee, na-asị. 5 "Otu ụbọchị, mgbe m
nọ n'obodo Jopa, ahụrụ m ọhụ n'oge m na-ekpe ekpere. N'ime ọhụ a, ahụrụ m ihe
yiri akwa ọcha dị obosara nke e sitere n'akụkụ anọ ya na-ewedata site n'eluigwe. E
budatara ya n'ihu m. 6 N'ime ya, ahụrụ m anụmanụ ndị nwere ụkwụ anọ, na anụ
ọhịa, na anụ ndị na-akpụ akpụ n'ala na ụmụ nnụnụ nke eluigwe. 7 Mgbe ahụ, anụrụ
m olu gwara m sị, 'Pita, bilie, gbuo ma riekwa.'
8 "Ma asịrị m, 'Mba, Onyenwe m, ọ dịbeghị mgbe ihe na-adịghị ọcha maọbụ ihe
rụrụ arụ bara m n'ọnụ.'
9 "Olu ahụ siri n'eluigwe zaghachi nke ugboro abụọ, 'Akpọla ihe ọbụla ihe rụrụ
arụ bụ nke Chineke mere ka ọ dị ọcha.' 10 Nke a mere ugboro atọ, ma emesịa dọlie
ha niile laa n'eluigwe.
11 "N'otu oge ahụ, ndị ikom atọ ndị e zipụrụ site Sizaria ịkpọ m bịarutere kwụsị
n'ọnụ ụzọ n'ụlọ ebe m nọ. 12 Mmụọ Nsọ gwara m ka m ghara inwe obi abụọ isoro ha
na-akpaghị oke ọbụla. Mmadụ isii ndị a n'etiti ụmụnna anyị sokwa m, bịarute n'ụlọ
nwoke ahụ. 13 Ọ gwara anyị otu o si hụ mmụọ ozi n'ụlọ ya, onye sịrị, 'Ziga ndị ozi jee
Jopa ka ha kpọta Saimọn onye a na-akpọ Pita. 14 Ọ ga-ewetara gị ozi nke a ga-esite
na ya zọpụta gị n'ezinaụlọ gị niile.'
15 "Mgbe m ka kpụ okwu ahụ n'ọnụ, Mmụọ Nsọ bịakwasịrị ha dịka o siri bịakwasị
anyị na mbụ. 16 Mgbe ahụ, echetara m okwu ahụ Onyenwe anyị kwuru sị, 'Jọn ji
mmiri mee unu baptizim, ma a ga-eji Mmụọ Nsọ mee unu baptizim.' 17 Ya mere, ọ
bụrụ na Chineke nyere ha otu onyinye ahụ o nyere anyị mgbe anyị kweere n'Onyenwe
anyị Jisọs Kraịst, onye ka m bụ iguzogide Chineke?"
18 Mgbe ha nụrụ nke a, ha agaghị n'ihu n'ịrụ ụka kama ha toro Chineke, na-asị,
"N'ezie, Chineke enyela ohere ka ọ bụladị ndị mba ọzọ cheghara baa na ndụ."

### *Ụlọ nzukọ dị na Antiọk*

19 Ugbu a, ndị ahụ niile gbasasịrị n'ihi mkpagbu ahụ bidoro mgbe a tụgburu Stivin
na nkume, jeruru akụkụ Fonisia na Saiprọs na Antiọk na-ekwusa oziọma ahụ naanị
n'etiti ndị Juu. 20 Ma otu ọ dị, ụfọdụ n'ime ndị ikom ndị ahụ sitere n'akụkụ Saiprọs
na Sirini gara Antiọk, malite ikwusara ndị Griik oziọma banyere Onyenwe anyị Jisọs.

21 Onyenwe anyị gọziri mgbalị ha niile. N'ihi na ọtụtụ mmadụ chegharịrị kwere
n'Onyenwe anyị.
22 Mgbe nzukọ dị na Jerusalem nụrụ ihe ndị a, ha zipụrụ Banabas ka ọ gaa Antiọk.
23 Mgbe o rutere, hụ ihe amara Chineke rụrụ n'etiti ha. Ọ ṅụrịrị ọṅụ, mgbakwaa
ha niile ume, gwa ha ka ha were obi ha niile nọgide n'ime Onyenwe anyị. 24 Ọ bụ
ezigbo mmadụ, onye jupụtara na Mmụọ Nsọ na okwukwe. O nwekwara okwukwe
dị ebube, n'ihi ya ọtụtụ mmadụ chegharịkwara bịakwute Onyenwe anyị.
25 Emesịa, ọ gara Antiọk obodo Tasọs ịchọ Sọl. 26 Mgbe ọ chọpụtara ya, o duuru ya
bịa n'Antiọk. Ihe ha ka otu afọ, ka ha na-ezukọ n'ụlọ chọọchị na-akụziri ọtụtụ igwe
mmadụ ihe. Ọ bụ n'ime Antiọk ka e buru ụzọ kpọọ ndị na-eso ụzọ ya ndị Kraịst.
27 N'oge ahụ, ndị amụma sitere na Jerusalem bịaruru Antiọk. 28 Otu onye n'ime
ha a na-akpọ Agabọs biliri ọtọ buo amụma site n'ike Mmụọ Nsọ banyere oke ụnwụ
ga-abịakwasị ụwa niile. Amụma a mezukwara n'oge Klọdiọs na-achị. 29 Ndị na-eso
ụzọ ya kwekọrịtara ịtụkọta na iziga onyinye dị iche iche nye ndị kwere ekwe nọ na
Judịa. Onye ọbụla nyekwara ihe dịka o nwere ike. 30 Ha mere nke a, ha zigara ndị
okenye ihe ha tụkọtara, site n'aka Banabas na Sọl.

# 12

*Mkpagbu site n'aka Herọd*

1 N'oge ahụ, eze Herọd jidere ụfọdụ ndị so na chọọchị buru n'obi ịkpagbu ha. 2 O
jiri mma agha gbuo Jemis nwanne Jọn. 3 Mgbe ọ chọpụtara na omume ya tọrọ ndị
Juu ụtọ, ọ gara n'ihu jidekwa Pita. Nke a mere n'oge mmemme Achịcha Ekoghị eko.
4 Mgbe o jidere ya, o tinyere ya n'ụlọ mkpọrọ ebe o mere ka ndị agha chee ya nche,
ndị agha anọ n'otu oge, ndị agha anọ ọzọ n'oge nke ọzọ. Ebumnobi ya bụ ịkpọpụta
ya n'ihu ọha mmadụ kpee ya ikpe mgbe Mmemme Ngabiga gasịrị.
5 Mgbe e debere Pita n'ụlọ mkpọrọ, nzukọ esepụghị aka n'ikpe ekpere n'ihi ya nye
Chineke.

*Mmụọ ozi agbapụta Pita*

6 Ma n'abalị na-esota ụbọchị ahụ Herọd ga-akpụpụta ya, Pita nọ n'ụra n'etiti ndị
agha abụọ, e jiri eriri igwe kee ya n'ụkwụ n'aka, ma ndị nche ọzọ nọkwa n'ọnụ ụzọ
na-eche ya nche. 7 Na mberede mmụọ ozi Onyenwe anyị bịara guzoro n'ebe ahụ, ìhè
nwukwara n'ime ụlọ mkpọrọ ahụ. Ọ kutụrụ Pita aka n'akụkụ sị, "Ngwangwa, bilie
ọtọ!" Eriri igwe ahụ dapụrụ n'aka ya.
8 Mmụọ ozi ahụ sịrị ya, "Yiri uwe gị na akpụkpọụkwụ gị." O mere otu ahụ, Mmụọ
ozi ahụ gwakwara ya, "Yirikwa akwa mgbokwasị gị soro m." 9 Pita sooro ya n'azụ,
o chere na ọ na-ahụ ọhụ, ma ọ mataghị na ihe mmụọ ozi ahụ na-eme bụ ezie. 10 Ha
gafere ndị nche nke mbụ na nke abụọ rute n'ọnụ ụzọ e si abanye n'ime obodo, nke
bụ ọnụ ụzọ igwe. Ọnụ ụzọ igwe ahụ meghekwara n'onwe ya, ha esite na ya gafee.
Mgbe ha gara ije ruo ebe tere anya n'ama nke ọzọ, ngwangwa mmụọ ozi ahụ hapụrụ
ya.
11 Mgbe ahụ kwa ka Pita ghọtara ihe niile mere. O kwuru, "Ugbu a, amatala m
n'ezie, na Onyenwe anyị ezitela mmụọ ozi ya, ka ọ bịa zọpụta m site n'aka eze Herọd
na ihe niile ndị Juu na-atụ anya ya. Ugbu a ọ napụtakwala m site n'ọchịchọ ọjọọ niile
nke ndị Juu."
12 Mgbe ọ ghọtara ihe merenụ, ọ gawara n'ụlọ Meri nne Jọn onye a na-akpọkwa
Mak, ebe ọtụtụ mmadụ zukọtararị na-ekpe ekpere. 13 Mgbe ọ kụrụ aka n'ọnụ ụzọ
ama, otu odibo nwanyị aha ya bụ Roda bịara ka o zaa ya. 14 Mgbe ọ nụrụ olu Pita,
ọṅụ juru ya obi nke mere na ọ gbaara ọsọ laghachi azụ n'emegheghị ụzọ. Ọ gara
tisaa, "Ọ bụ Pita nọ n'ọnụ ụzọ!"

15 Ha sịrị ya na ọ na-ekwu okwu dịka onye uche ya na-ezughị oke. Mgbe ọ
nọgidesịrị ike na-ekwu otu ihe ahụ, ha sịrị, "Ọ ghaghị ị bụ mmụọ ozi ya."
16 Ma Pita nọgidere na-akụ aka n'ụzọ. Mgbe ha meghere ụzọ hụ ya, ọ gbagwojuru
ha anya. 17 O feere ha aka ka ha mechie ọnụ. Ọ kọọrọ ha otu Onyenwe anyị si dupụta
ya site n'ụlọ mkpọrọ. Ọ gwara ha, "Meenụ ka Jemis na ụmụnna anyị niile mata ihe
ndị a." Ọ pụrụ gawa ebe ọzọ.
18 N'isi ụtụtụ echi ya, oke ọgbaaghara dị n'etiti ndị agha, ebe ha na-eche ihe mere
Pita. 19 Mgbe Herọd chọgharịchara ya ma ọ chọtaghị ya, ọ jụrụ ndị nche ahụ ajụjụ
dị iche iche. N'ikpeazụ ọ nyere iwu ka e gbuo ha.

### *Ọnwụ Herọd*

Emesịa ọ hapụrụ Judịa gaa Sizaria nọdụ n'ebe ahụ. 20 N'oge ahụ Herọd na-eweso
ndị Taịa na Saịdọn iwe, ha zipụrụ ndị ozi ha izute ya. Ha buru ụzọ mee ka ha na
Blastọs bụrụ enyi, onye eze tụkwasịrị obi nke na-elekọtakwa ime ụlọ ndina eze anya.
Ha rịọrọ ya ka udo dịrị, n'ihi na a na-esi n'obodo eze na-enwetara ha ihe oriri.
21 N'ụbọchị nzukọ ahụ, Herọd gbokwasịrị uwe ndị eze ya nọkwasị n'ocheeze ya. O
weere oke olu dị iche gwa nzukọ ahụ niile okwu. 22 Igwe mmadụ ahụ nọ na-eti mkpu,
"Nke a abụghị olu mmadụ, ọ bụ olu chi!" 23 N'otu oge ahụ, mmụọ ozi Onyenwe anyị
tiri ya ihe otiti dị egwu n'ihi na o nyeghị Chineke otuto ma otu. Ikpuru ripịara ya
ahụ, nke mere ka ọ nwụọ.
24 Ma okwu Chineke gara n'ihu na-aba ụba na-agbasakwa.

### *Nzipụ Sọl na Banabas*

25 Mgbe ha rụchara ọrụ ha, Banabas na Sọl si Jerusalem lọghachi. Ha kpọọrọ Jọn
onye a na-akpọkwa Mak n'ije ha.

## 13

1 Ndị amụma na ndị nkuzi ụfọdụ nọkwa na nzukọ dị n'Antiọk. Ụfọdụ n'ime ha
bụ Banabas na Simiọn onye a na-akpọ nwoke ojii, na Lusiọs onye Sirini, na Manaen
(onye azụlitekọrọ ya na eze Herọd), na Sọl. 2 Mgbe ha nọ na-efe Onyenwe anyị ofufe
na-ebukwa ọnụ, Mmụọ Nsọ sịrị, "Kewapụtaranụ m Banabas na Sọl, n'ihi ọrụ ahụ
nke m kpọọrọ ha." 3 Ya mere, mgbe ha busiri ọnụ kpekwa ekpere, ha bikwasịrị ha aka
n'isi zipụ ha.

### *Obodo Saiprọs*

4 Ebe Mmụọ Nsọ zipụrụ ha, ha gbadara Selusia, sitekwa ebe ahụ gbadaa Saiprọs.
5 Mgbe ha bịaruru Salamis, ha banyere n'ụlọ nzukọ ndị Juu kwusaa okwu Chineke.
Jọn sokwa ha dịka onye na-ejere ha ozi.
6 Mgbe ha gazuchara obodo niile ndị ahụ mmiri gbara gburugburu ruo Pafọs, ha
zutere otu onye mgbaasị, onye Juu bụ onye amụma ụgha a na-akpọ Ba-Jisọs. 7 Ya
na otu onye ọchịchị obodo, aha ya bụ Sajiọs Pọlọs nọ. Ọ bụ nwoke nwere ọgụgụisi
n'ebe ọ dị ukwuu, ọ kpọrọ Banabas na Sọl ka ha gwa ya okwu nke Chineke. 8 Ma onye
mgbaasị ahụ, onye aha ya bụkwa Elimas (n'ihi nke a bụ aha ya ma asụgharịa ya)
malitere igbochi ha site n'imegharị onyeisi ahụ anya ka ọ ghara ịnabata okwukwe
ahụ. 9 Ma Sọl, onye aha ya bụkwa Pọl, onye jupụtara na Mmụọ Nsọ, legidere ya anya
10 sị, "Gị nwa ekwensu, jupụtara n'aghụghọ na n'ihe ọjọọ dị iche iche. Gị onye iro
nke ezi omume niile. Ọ bụ na i gaghị akwụsị imerụ ụzọ niile ziri ezi nke Onyenwe
anyị? 11 N'ihi ya lee, iwe nke Onyenwe anyị ga-adakwasị gị. Ị ga-ekpụ ìsì nwa oge, ị
gaghị enwe ike hụ ìhè nke anyanwụ."
N'otu oge ahụ, ọ hụkwaghị ụzọ ọzọ. Ọ malitere na-ebigharị aka, na-achọkwa onye
ga na-edugharị ya. 12 Mgbe onyeisi ahụ hụrụ ihe mere, o kweere, n'ihi na o juru ya
anya bụ ozizi nke okwu Onyenwe anyị.

### *Pọl n’obodo Antiọk nke Pisidia*

13 Pọl na ndị otu ya ji ụgbọ mmiri site na Pafọs garuo Pega nke dị n’ala Pamfilia.
N’ebe a ka Jọn hapụrụ ha laghachi Jerusalem. 14 Site na Pega ha gara ruo Antiọk
obodo nke dị na Pisidia. N’ụbọchị izuike, ha banyere n’ụlọ nzukọ ndị Juu nọdụ ala.
15 Mgbe a gụpụtasịrị site n’akwụkwọ iwu na nke ndị amụma, ndịisi ụlọ ekpere ahụ
zigara ya ozi, sị, “Ụmụnna anyị, ọ bụrụ na unu nwere okwu ịgbaume nye anyị, biko
kwuonụ ya.”
16 Pọl guzoro ọtọ n’etiti ha feere ha aka ya, sị, “Unu ndị Izrel na unu ụmụnna m
ndị mba ọzọ na-atụ egwu Chineke. Geenụ m ntị. 17 Chineke nke Izrel họpụtara nna
nna anyị ha mee ha mba dị ukwu n’oge ha nọ n’obodo Ijipt. O ji ike aka ya dupụta
ha site n’ala ahụ. 18 Ọ nagidere ha iri afọ anọ n’ime ọzara. 19 O bibiri mba asaa dị
ukwuu n’ime ala Kenan n’ihi ha, nyekwa ndị ya obodo a ka ọ bụrụ nke ha. 20 Nke a
bụ ihe dị ka narị afọ anọ na iri afọ ise.
“Mgbe nke a gasịrị, o nyere ha ndị ikpe dị iche iche ruo oge Samuel onye amụma.
21 Mgbe ahụ ha rịọrọ ka enye ha eze, Chineke nyekwara ha Sọl, nwa Kish, onye si
n’agbụrụ Benjamin pụta, onye chịrị iri afọ anọ. 22 Mgbe o wepụsịrị ya, o mere Devid
ka ọ bụrụ eze ha. Ọ gbara ama banyere ya sị, ‘Achọtala m Devid nwa Jesi, nwoke
nke dị ka ọchịchọ obi m nke si dị. Ọ bụkwa onye ga-eme ihe niile m chọrọ ka o mee.’
23 “Jisọs onye si n’ezinaụlọ Devid pụta ka Chineke wetaara Izrel Onye nzọpụta ahụ
bụ Jisọs, dịka o kwere nkwa izite. 24 Ma tupu ọbịbịa ya, Jọn ekwusala nye ndị Izrel
banyere baptizim nke nchegharị. 25 N’oge Jọn na-arụsị ọrụ ya, ọ na-asị, ‘Onye ka
unu chere na m bụ? Abụkwaghị m onye ahụ. Mba! Abụghị m ya. Ma otu onye ahụ
na-abịa n’azụ m, onye m na-erughị ịtọpụ eriri akpụkpọụkwụ ya.’
26 “Ya mere, ụmụnna m, ndị si n’agbụrụ Ebraham na ndị niile na-atụ egwu Chineke,
ozi nke nzọpụta a dịrị anyị niile. 27 Ndị bi na Jerusalem na ndị na-achị ha amataghị
ya, nke ha ji aghọta okwu ndị amụma nke a na-agụpụtara ha kwa izu, bụ n’ụbọchị
izuike. Ma ha mere ka okwu ahụ mezuo, mgbe ha mara ya ikpe ọnwụ. 28 Ọ bụ ezie
na ha achọtaghị ihe kwesiri ọnwụ n’aka ya. Ma ha rịọrọ Pailet ka o nye ike ka e gbuo
ya. 29 Mgbe ha mezuru ihe niile e dere banyere ya, ha budatara ya site n’elu obe,
lie ya. 30 Ma Chineke mere ka o si n’ọnwụ bilie. 31 Ndị niile soro ya jegharịa site na
Galili ruo Jerusalem hụkwara ya anya ọtụtụ ụbọchị. Ndị a bụkwa ndị na-agba ama
n’ihu ndị mmadụ banyere ya.
32 “Anyị na-ezikwa unu oziọma a, nke nkwa ahụ Chineke kwere ndị nna nna anyị
ha. 33 O mezuola ha nye anyị bụ ụmụ ha, site na-ime ka Jisọs site n’ọnwụ bilie, dịka
e dere ya n’akwụkwọ Abụ ọma,
“ ‘Ị bụ ọkpara m,
taa abụrụla m nna gị.’*
34 Ma banyere ime ka o site n’ọnwụ bilie, ka ọ ghara ịlaghachi n’ire ure ọzọ. Nke a
bụ ihe o kwuru,
“ ‘Aga m emezuru gị nkwa nsọ ahụ niile m kwere Devid.’†
35 E dekwara ya n’ebe ọzọ n’abụ ọma,
“ ‘Ị gakwaghị ahapụ anụ ahụ nke Onye gị dị nsọ ka ọ hụ ire ure.’‡
36 “Mgbe Devid rụzuru ọrụ Chineke chọrọ ka ọ rụọ n’ọgbọ ha, ọ nwụrụ, e likọọ ya
na ndị nna nna ya ha o rekwara ure. 37 Ma onye ahụ Chineke mere ka o site n’ọnwụ
bilite erekwaghị ure.
38 “Ya mere, ụmụnna m, achọrọ m ka o doo unu anya na mgbaghara mmehie dịkwa
n’ime nwoke a, bụ Jisọs, anyị na-ekwusa nye unu. 39 A na-esite na ya gụọ onye ọbụla
kwere n’onye ezi omume ọ bụladị site n’ihe ndị ahụ niile nke iwu Mosis na-apụghị

* **13:33** 13:33 Abụ 2:7 † **13:34** 13:34 Aịz 55:3 ‡ **13:35** 13:35 Abụ 16:10

ịgụ unu dị ka ndị ezi omume. 40 Lezienụ anya ka ihe niile ndị amụma kwuru ghara
ịdakwasị unu.
41 " 'Lee, unu ndị na-akwa emo,
nọrọnụ na mgbagwoju anya ma lakwanụ n'iyi.
N'ihi na agaje m ime otu ihe n'ụbọchị unu
nke unu na-agaghị ekwe na o mere,
ọ bụladị na mmadụ kọrọ unu maka ya.'§"
42 Mgbe Pọl na Banabas na-apụ, ndị mmadụ rịọrọ ha ka ha bịakwa n'izu ụka ọzọ
gwa ha okwu gbasara ihe ndị a. 43 Mgbe a gbasara nzukọ ahụ, ọtụtụ ndị Juu na ndị
mba ọzọ na-atụ egwu Chineke sooro Pọl na Banabas, ndị gwara ha okwu, rịọsiekwa
ha ike ka ha nọgide n'amara Chineke.
44 N'ụbọchị izuike ọzọ ahụ, ọtụtụ ndị bi n'obodo ahụ pụtara ịnụrụ okwu Onyenwe
anyị. 45 Mgbe ndị Juu hụrụ igwe mmadụ ndị a, obi ha jupụtara n'ekworo, ha
bidokwara ikwu okwu ọjọọ megide okwu niile Pọl na-ekwu.
46 Ma Pọl na Banabas kwuru okwu na-asọghị anya sị, "Ọ dị mkpa na anyị buuru
ụzọ gwa unu okwu nke Chineke, ma ebe ọ bụ na unu jụrụ ịnabata ya, na-echekwa
na unu ekwesighị inweta ndụ ebighị ebi, lee, anyị ga-agakwuru ndị mba ọzọ. 47 N'ihi
na nke a bụ ihe Onyenwe anyị nyere anyị n'iwu,
" 'Emeela m ka unu bụrụ ìhè nye ndị mba ọzọ,
ka ị nwee ike weruo nzọpụta n'ebe niile ụwa sọtụrụ.'*"
48 Mgbe ndị mba ọzọ nụrụ ihe ndị a, obi tọrọ ha ụtọ, ha sọpụkwara okwu
nke Onyenwe anyị. Ya mere ndị niile a họpụtara inweta ndụ ebighị ebi bụ ndị
kwenyerenụ.
49 Ya mere okwu Onyenwe anyị gbasara ruo ebe niile n'obodo ahụ. 50 Mgbe ahụ,
ndị Juu kpaliri obi ọtụtụ ụmụ nwanyị na-atụ egwu Chineke ndị ọnọdụ ha dị elu, na
ndị ikom ndị nke ndu obodo ahụ. Ha kpasuru mkpagbu megide Pọl na Banabas si
otu a, chụpụ ha site n'obodo ahụ. 51 Ha tichapụrụ aja dị n'ụkwụ ha ka ọ bụrụ ihe
ịdọ aka na ntị mmegide ha. Ha hapụrụ obodo ahụ gaa Aikoniọm. 52 Ma ndị na-eso
ụzọ ya jupụtakwara n'ọṅụ na n'ike nke Mmụọ Nsọ.

# 14

*Pọl n'obodo Aikoniọm*

1 N'obodo Aikoniọm, Pọl na Banabas banyekwara n'ụlọ nzukọ ndị Juu, kwuo okwu
n'ụzọ pụrụ iche nke mere n'ọtụtụ mmadụ, ndị Juu na ndị mba ọzọ kwenyekwara.
2 Ndị Juu, ndị na-anabataghị okwu ahụ, kpaliri ndị mba ọzọ mee ka mkpụrụobi ha jọọ
njọ megide ụmụnna. 3 Otu ọ dị, ha nọgidere n'ebe ahụ ogologo oge, na-ekwusakwa
okwu nke Onyenwe anyị na-atụghị egwu ọbụla. Onye nke gosikwara na ọ bụ okwu
amara ya ka ha na-ekwu site n'inye ha ike ịrụ ọrụ ịrịbama na ọrụ ebube dị iche
iche. 4 Ma ndị obodo ahụ kewara abụọ, ụfọdụ n'ime ha dịnyere ndị Juu. Ụfọdụ
dịnyekwara ndị ozi. 5 Mgbe ndị mba ọzọ, na ndị Juu, ha na ndị ndu ha, gbara izu
ime ha ihe ihere, tụọkwa ha nkume. 6 Ndị ozi ahụ matara nzube ha site n'ebe ahụ
gbapụ ọsọ gbaruo n'akụkụ Laikonia, gbaba n'ime obodo Listra na Debi na obodo nta
ndị ọzọ ndị dị n'akụkụ ebe ahụ. 7 N'ebe ahụ, ha gara n'ihu na-ekwusakwa oziọma
ahụ.

*N'ime obodo Listra na Debi*

8 N'obodo Listra, o nwere otu nwoke dara ngwụrọ site n'oge a mụrụ ya. Nwoke
a ejibeghị ụkwụ ya abụọ gaa ije mgbe ọbụla. 9 O gere ntị mgbe Pọl na-ekwu okwu.

§ **13:41** 13:41 Hab 1:5 * **13:47** 13:47 Aịz 49:6

Onye legidere ya anya hụ na ọ nwere okwukwe nke a ga-eji mee ka a gwọọ ya, 10 were
oke olu sị, “Guzoro n’ụkwụ gị abụọ.” Nwoke ahụ wuliri elu malite ịga ije.
11 Mgbe igwe mmadụ ahụ hụrụ ihe Pọl mere, ha tiri mkpu n’asụsụ Laikonia sị,
“Ndị a bụ chi bịakwutere anyị n’ụdịdị mmadụ.” 12 Banabas ka ha kpọrọ Zeus ma
kpọkwa Pọl Hamis n’ihi na ọ bụ ya bụ onye ọka okwu.* 13 Onye nchụaja Zeus, nke
ụlọ arụsị ya dị nso n’ihu obodo, kpụtara oke ehi wetakwa okoko osisi dị iche iche.
Ya na igwe mmadụ ahụ chọrọ ịchụ aja nye ha n’ọnụ ụzọ ama ha.
14 Mgbe ndị ozi ahụ, Banabas na Pọl nụrụ ihe ndị a, ha dọwara uwe ha, gbara ọsọ
jekwuru igwe mmadụ ahụ na-eti mkpu, 15 na-asị, “Ndị ikom, gịnị ka unu na-achọ
ime? Lee, anyị bụkwa mmadụ dị ka unu. Ọ bụ oziọma ka anyị wetaara unu. Anyị
chọrọ ka unu site n’ịsọpụrụ ihe ndị a na-abaghị uru, bịakwute Chineke dị ndụ. Onye
kere eluigwe na ụwa, na oke osimiri na ihe niile dị n’ime ha. 16 N’oge gara aga, ọ
hapụrụ mba niile ka ha na-eme ihe masịrị ha. 17 N’agbanyeghị nke a ọ hapụghị ị
debere onwe ya ihe ndị ga-agbara ya akaebe, site n’ọrụ ọma ya niile. Dị ka inye unu
mmiri ozuzo site n’eluigwe, na mkpụrụ nke ala n’oge ha. Ọ na-enyekwa unu nri na-
emekwa ka obi na-atọ unu ụtọ.” 18 N’agbanyeghị okwu ndị a, ọ rara ha ahụ igbochi
igwe mmadụ ahụ ịchụrụ ha aja.
19 Ma ndị Juu sitere n’Antiọk na Aikoniọm bịara kpalie obi igwe mmadụ ahụ. N’ihi
ya, ha tụrụ Pọl nkume, dọkpụrụ ya pụọ n’obodo, chee na ọ nwụọla. 20 Ma mgbe ndị
na-eso ụzọ bịara gbaa ya gburugburu, o bilitere, laghachikwa n’ime obodo ahụ. Ma
n’echi ya, ya na Banabas sooro gaa Debi.

### *Pọl na Banabas alaghachi Antiọk nke Siria*

21 Ha zisasịrị oziọma n’ime obodo ahụ, nke mere ka ọtụtụ mmadụ bụrụ ndị na-eso
ụzọ ya. Ha lọghachiri n’obodo Listra site ya gaa Aikoniọm na Antiọk. 22 N’ebe ahụ
ha gbara ndị na-eso ụzọ ume kasịekwa ha obi sị ha jidesie okwukwe ahụ ike. Ha
sịrị, “Anyị ga-agabiga ọtụtụ mkpagbu dị iche iche tupu anyị abaa n’alaeze Chineke.”
23 Mgbe ha họpụtachara ndị okenye n’ime nzukọ niile. Ha sitere n’obubu ọnụ na
ekpere tinye ha n’aka Onyenwe anyị, bụ onye ha kwenyere na ya. 24 Ha sitere
n’akụkụ Pisidia garuo Pamfilia. 25 Mgbe ha zisachara oziọma n’obodo Pega, ha
gbadara gaa Atalia.
26 Site n’ebe ahụ, ha sooro ụgbọ mmiri jeruo Antiọk bụ ebe a nọ nyefee ha n’amara
Chineke n’ihi ọrụ ndị a ha rụzuru. 27 Mgbe ha bịaruru, ha kpọkọtara nzukọ kọwara
ha ihe niile Chineke sitere n’aka ha mee, na otu o siri meghe ọnụ ụzọ nke okwukwe
nye ndị mba ọzọ. 28 Ha na ndị na-eso ụzọ nọgidere n’ebe ahụ ruo oge dị anya.

## 15

### *Nzukọ dị mkpa na Jerusalem*

1 Ụfọdụ ndị ikom sitere Judịa bịa malitere izi ụmụnna ozi, “Ọ bụrụ na e bighị unu
ugwu dịka Mosis nyere n’iwu, a pụghị ịzọpụta unu.” 2 Ha na Pọl na Banabas rụrịtara
ụka nke ukwuu. N’ihi nke a, ha kpebiri ka Pọl na Banabas, na ụfọdụ ndịisi ndị ọzọ
soro gaa Jerusalem hụ ndị ozi na ndị okenye nke nzukọ maka okwu a. 3 Nzukọ ahụ
zipụrụ ha n’ụzọ ha, mgbe ha sitere Fonisia na Sameria na-agafe, ha kọrọ otu ndị mba
ọzọ siri chegharịa. Nke a wetara ndị niile kwere ekwe oke ọṅụ dị ukwuu. 4 Mgbe
ha bịaruru Jerusalem, nzukọ, ndị ozi na ndị okenye nabatara ha, ha kọkwara ha ihe
niile Chineke sitere n’aka ha mee.
5 Ma ụfọdụ ndị kwere ekwe si n’otu ndị Farisii biliri na-ekwu sị, “Na ọ dị mkpa ka
e bie ha ugwu ma gwakwa ha ka ha dobe iwu Mosis.”

---

* **14:12** 14:12 Ndị a bụ aha chi ndị obodo a. Aha ha ọzọ bụ Jupita na Mekuri.

6 Mgbe ahụ, ndị ozi na ndị okenye zukọtara itule okwu a. 7 Mgbe ha nọ tulegide
okwu ahụ ruo oge dị anya, Pita guzoro ọtọ sị ha, “Ụmụnna m, unu niile maara na
site na mbụ Chineke họpụtara m site n’etiti unu, ka m zisaa oziọma ahụ nye ndị mba
ọzọ ka ha nụrụ, ma kwerekwa. 8 Chineke a, onye maara obi mmadụ niile gbaara ha
akaebe site n’inye ha onyinye Mmụọ Nsọ dịka anyị si nata ya na mbụ. 9 O gosighị
na o nwere ihe dị iche n’etiti anyị na ha. N’ihi na o mere ka obi ha dị ọcha site
n’okwukwe. 10 Ugbu a, gịnị mere unu ji anwa Chineke ọnwụnwa site na-itinye n’olu
ndị na-eso ụzọ ya ibu arọ nke anyị maọbụ nna nna anyị ha na-enweghị ike ịdọkpụ?
11 Mba, anyị kwenyere na ọ bụ site n’amara nke Onyenwe anyị Jisọs ka a ga-eji zọpụta
anyị, dịka a ga-esi zọpụtakwa ha.”

12 Mmadụ niile nọdụrụ nwayọọ, ha bidoro ige ntị n’akụkọ Banabas na Pọl na-akọrọ
ha banyere ihe ịrịbama niile na ọrụ ebube niile Chineke jiri ha rụọ n’etiti ndị mba
ọzọ. 13 Mgbe ha kwusiri okwu ndị a, Jemis sịrị, “Ụmụnna m geenụ ntị. 14 Saimọn
akọọlara anyị otu Chineke si buru ụzọ lekọta ndị mba ọzọ site na isite n’etiti ha
họpụtara onwe ya ndị ga-ekwere na aha ya. 15 Nke a na okwu ndị amụma dakọtara,
dịka e dere ya,

16 “ ‘Mgbe nke a gasịrị, aga m alọghachi,
aga m ewughachikwa ụlọ ikwu Devid nke dara ada.
Ebe ya niile dakpọsịrị adakpọsị ka m ga-ewugharịkwa,
aga m emekwa ka ọ guzozie,
17 ka ndị fọdụrụ n’etiti mmadụ nwe ike chọọ Onyenwe anyị,
ọ bụladị ndị mba ọzọ niile ndị a kpọkwasịrị aha m,
ka Onyenwe anyị kwuru, onye na-emekwa ihe ndị a.’*
18 Nke a amaara site na mgbe ochie.

19 “N’ihi nke a, mkpebi ikpe m bụ nke a, ka anyị ghara isogbu ndị mba ọzọ
lọghachikwutere Chineke, 20 kama o kwesiri ka anyị degara ha akwụkwọ gwa ha
sị ha hapụ iri nri ọbụla e ji chụọrọ arụsị aja. Ka ha wezugakwa onwe ha site na
mmehie ịkwa iko, ya na iri anụ a nyagburu anyagbu, maọbụ ọbara. 21 Site na mbụ,
Mosis nwere ndị na-ekwusa iwu n’obodo niile. A na-agụkwa ya n’ụlọ nzukọ n’ụbọchị
izuike niile.”

### *Akwụkwọ e degaara ndị mba ọzọ*

22 Mgbe ahụ, ndị ozi na ndị okenye, ha na nzukọ niile, kpebiri ka a họpụta ndị
ikom a ga-eziga Antiọk ha na Pọl na Banabas. Ha họpụtara Judas onye a na-akpọkwa
Basabas, na Saịlas, ndị ndu so n’etiti ụmụnna. 23 Ha nyekwara ha n’akwụkwọ ozi dị
otu a,

Akwụkwọ a sitere n’aka ndị ozi, na ndị okenye ndị bụ ụmụnna unu.

A na-edetara ya unu ndị sitere na mba ọzọ kwere bụ ndị nọ n’Antiọk, Siria na
Silisia.

Ekele.

24 E mere ka anyị mata na ụfọdụ ndị otu anyị ebuterela unu nsogbu na
ọgbaaghara, mee ka obi lọọ unu mmiri, na-emebi mkpụrụobi unu. Ma n’ezie,
ha anataghị ike n’aka anyị ime nke a. 25 N’ihi nke a, anyị zukọrọ, sitekwa n’otu obi
kpebie ịhọpụta ụfọdụ ndị ikom na izitere unu ha, ha na ndị anyị hụrụ n’anya, bụ
Pọl na Banabas, 26 ndị ikom werela ndụ ha tụnye n’aha Onyenwe anyị Jisọs Kraịst.
27 Ya mere, anyị na-ezite Judas na Saịlas ndị ga-akọwara unu n’ihu n’ihu, ihe anyị
dere n’akwụkwọ a. 28 N’ihi na ọ bụ ihe ziri ezi n’anya Mmụọ Nsọ na n’anya anyị
kwa, na o kwesighị ka anyị bokwasị unu ibu arọ karịa ihe ndị a dị mkpa. 29 Ma
o kwesiri ka unu hapụ iri ihe ọbụla e jiri chụọ aja nye arụsị, ya na iri anụ ọbụla

* **15:17** 15:17 Ems 9:11,12

a nyagburu anyagbu, maọbụ ọbara. Kewapụkwanụ onwe unu site n'ịkwa iko. Ọ bụrụ na unu eme ihe ndị a, unu mere nke ọma.

Nọọnụ nke ọma.

30 Ya mere, e zipụrụ ha, ha jeruokwa Antiọk. Mgbe ha kpọkọrọ nzukọ ahụ, ha
nyere ha akwụkwọ ozi ahụ. 31 Mgbe ndị otu ọgbakọ ahụ gụsịrị ya, ha ṅụrịrị ọṅụ nke
ukwuu n'ihi agbamume ha natara. 32 Judas na Saịlas, ndị ha onwe ha bụ ndị amụma,
kwuru ọtụtụ okwu, iji gbaa ha ume na ime ka okwukwe ndị kwere ekwe guzosie ike.
33 Mgbe ha nọnyesịrị ha nwa oge nta, ndị kwere ekwe ji ngọzị nke udo zilaga ha ka
ha laghachikwuru ndị zitere ha. 34 Ma ọ masịrị Saịlas ịnọtukwu n'ebe ahụ.† 35 Pọl
na Banabas nọgidere n'Antiọk, ebe ha na ndị ọzọ kuziri ihe ma kwusakwa okwu
Onyenwe anyị.

*Nkewa nke dị n'etiti Pọl na Banabas*

36 Mgbe ụbọchị ole na ole gasịrị, Pọl gwara Banabas, "Ka anyị gaghachi n'obodo
niile anyị kwusara okwu Onyenwe anyị n'otu n'otu, mata ka ndị kwere ekwe si agbalị
n'ebe ahụ." 37 Banabas chọrọ ka ha na Jọn onye a na-akpọ Mak soro gaa. 38 Ma Pọl
echeghị na o ziri ezi iduru ya n'ihi na ọ hapụrụ ha na Pamfilia. O sokwaghị ha jezuo
ozi ha. 39 Ịrụ ụka dapụtara n'etiti ha siri ike nke mere na ha kewara. Banabas kpọrọ
Jọn Mak banye n'ụgbọ gawa Saiprọs. 40 Ma Pọl họọrọ Saịlas, kpọrọ ya gawa njem,
mgbe ụmụnna kpesịrị ha ekpere raara ha nye n'amara Onyenwe anyị. 41 O jegharịrị
n'ime obodo Siria na Silisia na-agba nzukọ nọ n'ebe ahụ ume.

# 16

*Timoti esonyere Pọl na Saịlas*

1 Pọl bịaruru Debi na Listra, ebe otu onye na-eso ụzọ Jisọs a na-akpọ Timoti bi. Nne
ya bụ onye Juu bụrụkwa onye kwere ekwe, ma nna ya bụ onye Griik. 2 Ụmụnna ndị
bi na Listra na Aikoniọm gbara ezi ama banyere ya. 3 Pọl chọrọ ka Timoti soro ya
n'ije ya. Ma n'ihi ndị Juu bi n'akụkụ ebe ahụ, o biri ya ugwu n'ihi na mmadụ niile
maara na nna ya bụ onye Griik. 4 Dịka ha na-eme njem site n'obodo ruo n'obodo, ha
na-akọwara ha ihe banyere mkpebi ndị ozi na ndị okenye kpebiri na Jerusalem ka
ha nwe ike idebe ha. 5 Ihe ndị a niile mere ka nzukọ sie ike n'okwukwe ma baakwa
ụba n'ọnụọgụgụ kwa ụbọchị.

*Pọl ahụ ọhụ banyere nwoke Masidonia*

6 Ha gara mpaghara Frigia na Galeshịa. Ma Mmụọ Nsọ ekweghị ka ha kwusaa
oziọma n'akụkụ Eshịa n'oge ahụ. 7 Mgbe ha ruru n'akụkụ obodo Misia, ha chere ihu
ịbanye n'akụkụ obodo Bitinia. Ma Mmụọ Nsọ nke Jisọs akwagideghị ka ha gaa. 8 Ka
ha si n'akụkụ Misia gafee, ha batara Troas. 9 N'abalị ahụ, Pọl hụrụ ọhụ ebe ọ hụrụ
otu nwoke onye Masidonia ka o guzo na-arịọ ya sị, "Bịa na Masidonia nyere anyị
aka." 10 Mgbe ọ hụchara nke a, anyị jikeere ngwangwa ịga Masidonia ebe anyị mara
na Chineke akpọọla anyị ịgbasara ha oziọma.

*Lidia aghọọ onye kwere ekwe*

11 Anyị banyere ụgbọ mmiri na Troas sị ya gafee Samotres. N'echi ya, anyị bịaruru
Niapolis. 12 Site n'ebe ahụ anyị jeruru Filipai nke bụ isi obodo dị n'akụkụ mpaghara
Masidonia bụrụkwa otu akụkụ n'ebe ndị Rom na-achị. Anyị nọdụrụ n'ime obodo a
ọtụtụ ụbọchị.
13 N'ụbọchị izuike, anyị sitere n'obodo ahụ gaa n'akụkụ osimiri ebe anyị chọpụtara
na ụlọ ekpere dị. N'ebe a ka anyị nọ gwa ụmụ nwanyị ndị gbakọrọnụ okwu. 14 Aha
otu n'ime ndị inyom nụrụ okwu anyị bụ Lidia, onye obodo Tiatira, onye na-azụ

† **15:34** 15:34 Ụfọdụ akwụkwọ adịghị edebanye ihe banyere Saịlas n'amaokwu a.

ahịa akwa e sijiri odo odo. Ọ bụkwa nwanyị na-asọpụrụ Chineke. Onyenwe anyị
meghere obi ya, ige ntị n'ihe Pọl na-ekwu. 15 Ka e mesịrị ya na ezinaụlọ ya baptizim,
ọ rịọrọ anyị na-asị, "Ọ bụrụ n'ezie na unu gụrụ m dịka onye kwesiri ntụkwasị obi
nye Onyenwe anyị, batanụ n'ụlọ m nọrọ." Mgbe ọ kwagidesịrị anyị ike, anyị sooro
ya.

### *Pọl na Saịlas n'ụlọ mkpọrọ*

16 Otu ụbọchị, mgbe anyị na-aga n'ụlọ ekpere, anyị zutere otu nwaagbọghọ bụ
ohu, onye nwere mmụọ ịgba afa. Ọ na-ewetara ndị nwe ya ezigbo ego site n'ịgba
afa. 17 Ma o sogidere anyị na Pọl ebe ọbụla anyị na-aga, na-eti mkpu na-asị, "Ndị a bụ
ndị ohu Chineke Onye kachasị ihe niile elu. Ha bịara ikwupụtara unu ihe banyere
ụzọ nzọpụta." 18 O mere nke a ọtụtụ ụbọchị. Ma site n'oke iwe, Pọl baara mmụọ
ọjọọ ahụ bi n'ime ya mba sị, "Eji m aha Jisọs Kraịst na-enye gị iwu sị gị site n'ime ya
pụta!" Otu mgbe ahụ o siri n'ime ya pụta.
19 Mgbe ndị nwe ya hụrụ n'olileanya ha iji inweta ego akwụsịla, ha jidere Pọl na
Saịlas dọkpụrụ ha jekwuru ndịisi obodo n'ọma ahịa. 20 Mgbe ha dutara ha n'ihu ndị
na-ekpe ikpe ha sịrị, "Ndị ikom a bụ ndị Juu ma ha etinyela ọgbaaghara n'obodo
anyị, 21 site n'ikuzi omenaala megidere iwu anyị, nke anyị bụ ndị Rom na-enweghị
ike ịnabata maọbụ mee."
22 Igwe mmadụ sonyere imegide ha. Ndị ikpe nyere iwu ka a dọwaa uwe,[*] pịakwa
ha ihe. 23 Mgbe ha pịachara ha ihe nke ọma, a tụnyere ha n'ime ụlọ mkpọrọ, nyekwa
onye nche iwu ka o chee ha nke ọma. 24 N'ihi nke a, o tinyere ha n'ime ime ụlọ
mkpọrọ, ebe o jiri ọtọsị kegide ha n'ụkwụ.
25 N'etiti abalị, mgbe Pọl na Saịlas na-ekpe ekpere na-abụkwa abụ ito Chineke, ndị
niile nọ n'ụlọ mkpọrọ ahụ na-ege ha ntị. 26 Na mberede, oke ala ọma jijiji bidoro,
nke mere ka ntọala ụlọ mkpọrọ ahụ maa jijiji. Ngwangwa, ọnụ ụzọ ya niile meghere,
ụdọ igwe niile e jiri kee ndị mkpọrọ tọpụkwara. 27 Mgbe onyeisi nche ụlọ mkpọrọ
tetara n'ụra ma hụ na ọnụ ụzọ niile ghere oghe. N'ihi ya, o chere na ndị mkpọrọ
niile agbapụla. Ya mere, ọ mịpụtara mma agha ya chọọ igbu onwe ya. 28 Ma Pọl tiri
mkpu n'oke olu, sị, "Emerula onwe gị ahụ. Anyị niile nọ n'ebe a!"
29 Onyeisi nche ahụ kpọrọ ka eweta ọkụ, ọ gbabara n'ime, daa n'ụkwụ Pọl na Saịlas
na-ama jijiji. 30 Ọ kpọpụtara ha n'ezi sị, "Ndị nwe m, gịnị ka m ga-eme ka a zọpụta
m?"
31 Ha sịrị, "Kwere n'Onyenwe anyị Jisọs, a ga-azọpụta gị na ezinaụlọ gị niile."
32 Mgbe ahụ, ha gwara ya na ndị niile nọ n'ezinaụlọ ya okwu nke Onyenwe anyị.
33 N'otu elekere ahụ, n'abalị ahụ, ọ sachara ọnya ha. N'atụfughị oge, ha mere ya na
ezinaụlọ ya baptizim. 34 Ọ kpọbatara ha n'ụlọ ya, nye ha ihe oriri. Ya onwe ya na
ezinaụlọ ya ṅụrịrị ọṅụ n'ihi na o kwerela na Chineke.
35 N'echi ya, ndị ikpe ahụ zitere ndị uweojii sị, "Hapụnụ ụmụ nwoke ahụ ka ha
laa." 36 Onyeisi ụlọ mkpọrọ ahụ gwara Pọl, sị, "na ndị ikpe zitere ozi sị ha laa. Ugbu
a pụtanụ. Unu laanụ n'udo."
37 Ma Pọl sịrị ha, "Ha tiri anyị ihe n'ihu mmadụ niile na-ebughị ụzọ kpee anyị ikpe.
Emesịa ha tinyere anyị n'ụlọ mkpọrọ. Anyị bụ diala n'obodo Rom! Olee otu ha ga-esi
zipụ anyị na nzuzo. O kwesiri ka ha bịa n'onwe ha kpọpụta anyị."
38 Ndị uweojii ahụ gara gwa ndị ikpe ahụ ihe ha kwuru. Mgbe ha nụrụ na ha bụ
diala na Rom, ha tụrụ egwu nke ukwuu. 39 Ha bịakwutere ha rịọsie ha arịrịọ ike.
Ha kpọpụtakwara ha, rịọ ha ka ha hapụ obodo ahụ. 40 Mgbe ha sitere n'ụlọ mkpọrọ
pụta, ha gara n'ụlọ Lidia. N'ebe ahụ ka ha zutere ụmụnna, gwa ha okwu mgbamume,
emesịa ha si n'obodo ahụ pụọ.

---

[*] **16:22** 16:22 Ya bụ gbaa ha ọtọ

# 17

*Pọl n'obodo Tesalonaịka*

1 Mgbe ha gafechara obodo Amfipolis na Apolonia, ha bịaruru obodo Tesalonaịka,
ebe ụlọ nzukọ ndị Juu dị. 2 Pọl bakwuuru ha, dịka ọ na-eme oge niile. Ọ nọnyere ha
izu ụka atọ, ya na ha na-atụgharị uche n'Akwụkwọ Nsọ, 3 na-akọwara ha na-edokwa
ha anya na ọ dị mkpa na Kraịst ga-ahụ ahụhụ, ma sitekwa n'ọnwụ bilie. Ọ sịrị, "Jisọs
a, nke m na-ekwusara unu bụ Kraịst ahụ." 4 Ụfọdụ n'ime ndị Juu ahụ ka e mere ka ha
kwere ma sonyere Pọl na Saịlas, otu aka ahụ, igwe mmadụ ndị na-atụ egwu Chineke
n'etiti ndị Griik na ụmụ nwanyị ụfọdụ a maara aha ha.
5 Ma ndị Juu jupụtara n'ekworo, n'ihi ya, ha kpaliri obi ụfọdụ mmadụ efu n'etiti ha
n'ọma ahịa. Ndị a malitekwara ọgbaaghara n'ụzọ dị iche n'ime obodo. Ha tikasịrị
ụlọ Jesin, n'ihi na ha chọrọ ịdọpụta ha nyefee ha n'aka ọha mmadụ. 6 Ma mgbe
ha na-achọtaghị ha n'ebe ahụ, ha dọpụtara Jesin na ụmụnna anyị ụfọdụ, duru ha
jekwuru ndị ikpe nke obodo ahụ, na-eti mkpu, "Ndị a kpuru ụwa ihu n'ala abịala
inye obodo ukwu anyị nsogbu. 7 Ma Jesin nabatara ha n'ụlọ ya. Ha na-emebi iwu
Siza n'ihi na ha na-asịkwa na ọ dị eze ọzọ dị nke a na-akpọ Jisọs." 8 Okwu dị otu a
wetara obi ịlọ mmiri n'etiti ndị ikpe na mmadụ niile. 9 Ha hapụrụ Jesin na ndị ọzọ,
naanị mgbe ndị akaebe bịara kwụọ ụgwọ e jiri gbapụta ha.

*Pọl n'obodo Beria*

10 Ma n'abalị ahụ, ndị kwere ekwe mere ngwangwa zipụ Pọl na Saịlas ka ha gaa
obodo Beria. Ma mgbe ha ruru n'ebe ahụ, ha banyere n'ụlọ nzukọ ndị Juu. 11 Ma ndị
bi na Beria jiri obi ghere oghe nabata okwu a karịa ndị bi na Tesalonaịka. N'ihi na ha
ji ịnụ ọkụ n'obi nara okwu ahụ, na-enyocha Akwụkwọ Nsọ kwa ụbọchị, ka ha mara
ma ihe ha na-ekwu ọ bụ eziokwu. Ha mere nke a ụbọchị niile. 12 Ọtụtụ n'ime ha
kweere, ụfọdụ ụmụ nwanyị na ụmụ nwoke ndị Griik a maara aha ha chegharịkwara.
13 Ma mgbe ndị Juu bi na Tesalonaịka nụrụ na Pọl na-ekwusa oziọma Chineke
na obodo Beria, ụfọdụ ha gara n'ebe ahụ na-akpali igwe ndị mmadụ n'ihi iwebata
ọgbaaghara. 14 Ndị kwere ekwe mere ngwangwa zipụ Pọl ka ọ gaa n'akụkụ oke
osimiri dị n'ebe ahụ. Ma ha hapụrụ Saịlas na Timoti ka ha na ha nọdụ. 15 Ma ndị
dupuru Pọl sooro ya ruo obodo Atens. Ha lawara, hapụrụ Saịlas na Timoti ozi ka ha
bịakwute ya na-atụfughị oge.

*Pọl n'obodo Atens*

16 Mgbe Pọl nọ na-echere ha n'Atens, o wutere mmụọ ya nke ukwuu n'ihi arụsị niile
ọ hụrụ, nke jupụtara n'obodo ahụ. 17 N'ihi nke a, ya na ndị Juu na ndị na-atụ egwu
Chineke, na-anọgide n'ụlọ nzukọ na-arụrịta ụka. Kwa ụbọchị, ọ na-apụkwa n'ọma
ahịa na-agwa ndị niile o zutere okwu. 18 Ya na ụfọdụ ndị Epikuri* na ndị Stoịk†
bụ ndị ọkachamara na-arụrịta ụka. Ndị ụfọdụ na-asị, "gịnị ka onye ekwurekwu
a ga-ekwu?" Ndị ọzọ sịrị, "ọ dịka onye na-ekwusa ụmụ mmụọ‡ ndị ala ọzọ." Ha
kwuru nke a n'ihi na ọ na-ekwusa oziọma banyere Jisọs na mbilite n'ọnwụ ya. 19 Ha
kpọbatara ya n'ebe ha zukọrọ, ebe a na-akpọ Areopagọs,§ ebe ha nọ sị ya, "Anyị
enwere ike ịmata ihe banyere ozizi ọhụrụ gị a? 20 Ị na-ekwu ihe ndị na-agbagwoju
anyị anya. Anyị chọrọ ịmata ihe ndị a nke ọma." 21 (Ndị Atens niile na ndị ala ọzọ bi
n'obodo ahụ, enweghị ohere ime ihe ọbụla, ọ gwụchaala ọrụ ikwu na ịnụ banyere
ihe dị ọhụrụ.)

---

* **17:18** 17:18 Otu ndị kwenyere na ndụ bụ maka naanị oriri na ọṅụṅụ. † **17:18** 17:18 Otu ndị na-ekwenyeghị na ndụ bụ naanị oriri na ọṅụṅụ. ‡ **17:18** 17:18 Ha chere na ọ bụ chi nke ndị ala ọzọ, ha amaghị na ọ bụ Chi onye kere ihe niile ka ọ na-ekwu banyere ya. § **17:19** 17:19 Maọbụ, Ugwu Maas

22 Mgbe ahụ Pọl guzoro na nzukọ Areopagọs sị, “Unu ndị Atens, ahụla m na ọ
na-anụ unu ọkụ n’obi ịsọpụrụ mmụọ nke unu na-efe ofufe. 23 N’ihi na mgbe m na-
ejegharị n’obodo unu, ahụrụ m ụlọ chi dị iche iche, ahụrụ m otu ebe ịchụ aja nke e
dekwasịrị n’elu ya:

Ihe e nyere chi nke amaghị ama.

Ya mere, ihe ahụ unu na-efe ofufe n’amaghị ama nke a ka m na-ekwusara unu.

24 “Chineke onye kere ụwa na ihe niile dị n’ime ya. Ebe ọ bụ onye nwe eluigwe na
ụwa, ọ dịghị ebikwa n’ụlọnsọ e jiri aka wuo. 25 Otu aka ahụ, ọ dịghị anara ije ozi site
n’aka mmadụ, dịka a ga-asị na o nwere ihe kọrọ ya. Ya onwe ya na-enye ndụ na ume
na ihe niile. Ọ na-egbokwa mkpa niile. 26 O sitere n’aka otu onye, bụ mmadụ mbụ
ahụ, kee agbụrụ niile nke mmadụ n’otu n’otu, ka ha biri n’elu ụwa dum. O jiri aka
ya kewachaa oge ọgbọ ọbụla ga-anọ na oke niile nke ebe obibi ha. 27 Ma nzube ya
banyere ihe niile bụ ka onye ọbụla chọsie Chineke ike. Eleghị anya, mmadụ nwere
ike lezie ụzọ ya anya, si otu a chọta ya. Ọ nọkwaghị mmadụ ọbụla n’ebe dị anya.
28 ‘N’ihi n’ime ya ka anyị na-ebi, anyị na-ejegharịkwa n’ime ya na-adịkwa ndụ.’ Dịka
ụfọdụ n’ime unu ndị ode abụ na-ekwu sị, ‘Anyị onwe anyị bụ ụmụ ya.’

29 “Ebe anyị bụ ndị Chineke mụrụ, o kwesighị ka anyị na-eche na ihe akpọrọ
Chineke yiri ọlaọcha maọbụ ọlaedo, maọbụ nkume, ihe apịrị apị site na ǹka na ihe
dị n’obi mmadụ. 30 Ma Chineke lefuru enweghị nghọta nke mmadụ anya banyere
ihe ndị a niile n’oge gara aga. Ma ugbu a, ọ chọrọ ka mmadụ niile chegharịa. 31 N’ihi
na o debela otu ụbọchị mgbe ọ ga-ekpe ụwa niile ikpe n’ụzọ ezi omume, site n’aka
otu nwoke ọ họpụtara. O mekwara ka nke a guzosie ike, mgbe o mere ka onye ahụ
sị n’ọnwụ bilie.”

32 Mgbe ha nụrụ ihe banyere mbilite n’ọnwụ nke ndị nwụrụ anwụ, ha chịrị ya
ọchị. Ma ụfọdụ n’ime ha sịrị, “N’oge ọzọ anyị ga-achọ ịnụ okwu ndị a.” 33 N’oge a,
Pọl hapụrụ ha. 34 Mmadụ ole na ole sooro ya, bụrụkwa ndị kwere ekwe. Otu onye
n’ime ha bụ Dionisiọs onye Areopagọs. Onye ọzọ bụ nwanyị a na-akpọ Damaris na
ndị ọzọkwa.

# 18

### *Pọl n’obodo Kọrint*

1 Ka nke a mechara, Pọl hapụrụ Atens gaa Kọrint. 2 N’ebe ahụ o zutere otu onye
Juu a mụrụ n’obodo Pọntọs, onye a na-akpọ Akwila. Ya na nwunye ya Prisila sitere
Itali Klọdiọs nyere iwu ka a chụpụ ndị Juu site n’obodo Rom. Pọl gara hụ ha, 3 n’ihi
na ha na-arụ otu ọrụ, o binyere ha, sokwara ha rụkọọ ọrụ n’ihi na ha bụ ndị na-akpa
akwa e ji ama ụlọ ikwu. 4 Ụbọchị izuike niile, ọ na-arụ ụka n’ụlọ nzukọ ha na-agbalị
ime ka ndị Juu na ndị Griik kwere.

5 Mgbe Saịlas na Timoti sitere na Masidonia bịa, Pọl tinyere oge ya niile ikwusa
okwu na ịkọwara ndị Juu na Jisọs bụ Kraịst ahụ. 6 Mgbe ọbụla ha megidere ya ma
kparịa ya, ọ na-efecha uwe ya, sị ha, “Ọbara unu dị unu n’isi, aka m dị ọcha. Malite
ugbu a, aga m agakwuru ndị mba ọzọ.”

7 O siri n’ebe ahụ pụọ, gaa n’ụlọ otu nwoke a na-akpọ Taịtọs Jọstus, onye na-
asọpụrụ na-efekwa Chineke ofufe. Ụlọ ya dị nso n’ụlọ nzukọ ndị Juu. 8 Krispọs
onyeisi n’ụlọ nzukọ ahụ na ezinaụlọ ya niile kweere n’Onyenwe anyị. Ọtụtụ ndị ọzọ
bi na Kọrint nụrụ okwu ahụ, kwere, e mee ha baptizim.

9 Onyenwe anyị gwara Pọl n’ọhụ n’otu abalị sị, “Atụla egwu, kwusie okwu ike,
emechikwala ọnụ gị. 10 N’ihi na anọnyeere m gị. Ọ dịkwaghị onye ọbụla pụrụ
imerụ gị ahụ. Enwekwara m ọtụtụ mmadụ n’ime obodo a.” 11 Ọ nọgidere ebe ahụ
otu afọ na ọkara. Ọ na-ezikwa ndị mmadụ okwu Chineke.

12 Mgbe Galio malitere ịchị achị n'obodo Akaịa, ndị Juu bidoro omume ọjọọ megide
Pọl. N'ikpeazụ, ha dupụtara ya, gaa n'ụlọikpe. 13 Ha sịrị, "Nwoke a na-amanye ndị
mmadụ ka ha na-ekpere Chineke n'ụzọ megidere iwu."
14 Ma mgbe Pọl chọrọ ikwu okwu, Galio sịrị ndị Juu ahụ, "Agaara m enwe ndidi
gee unu ntị ma ọ bụrụ na okwu a gbasara mmejọ mmadụ mejọrọ ibe ya, maọbụ arụ
mmadụ mere megide obodo. 15 Ma ebe unu na-ekwu ihe banyere okwu na aha dị iche
iche nakwa iwu unu, gaanụ dozie ya n'onwe unu. Agaghị m abụ onye ikpe okwu ihe
ndị dị otu a." 16 O sitere n'ime ụlọ ikpe ya chụpụ ha. 17 Ha jidere Sostenis, onye bụ
onyeisi ụlọ nzukọ ahụ tie ya ihe nke ukwuu n'ọnụ ụzọ ụlọ ikpe ahụ. Ma Galio emeghị
dịka ọ maara ihe na-eme n'ebe ahụ.

### *Prisila, Akwila na Apọlọs*

18 Mgbe ọ nọsịrị n'ebe ahụ ọtụtụ ụbọchị, Pọl sịrị ndị kwere ekwe nọ n'ebe ahụ
ka ha nọdụnụ nke ọma, ma si n'ebe ahụ banye n'ụgbọ mmiri ruo Siria. Prisila na
Akwila sokwaara ya gaa. N'obodo a na-akpọ Senkria, ọ kpụchara agịrị isi ya, n'ihi
nkwa o kwere. 19 Mgbe ha rutere Efesọs, ọ hapụrụ ha n'ebe ahụ, ma o bu ụzọ banye
n'ụlọ nzukọ ebe ya na ndị Juu nwere mkparịta ụka. 20 Ma mgbe ha rịọrọ ya ka ọ
nọnyetụkwuoro ha ogologo oge, ọ kweghị. 21 Mgbe ọ na-ahapụ, ọ sịrị ha, "Ọ bụrụ
na Chineke kwe, aga m alọghachikwute unu ọzọ." Emesịa ọ banyere n'ụgbọ hapụ
Efesọs. 22 Mgbe ọ kwụsịrị na Sizaria, ọ gara leta chọọchị dị n'ebe ahụ kelee ha.
Emesịa, ọ gara n'ihu ruo Antiọk.
23 Mgbe ọ nọsịrị nwa oge nta n'ebe ahụ, ọ sitere n'ebe ahụ pụọ jegharịa n'akụkụ
obodo Galeshịa na Frigia na-agba ndị na-eso ụzọ ahụ ume.

### *Ọbịbịa Apọlọs n'obodo Efesọs na Kọrint*

24 Ma otu nwoke onye Juu, aha ya bụ Apọlọs, onye Alegzandria bịara na Efesọs.
Ọ bụ onye ọka okwu, bụrụkwa onye maara ihe edere n'Akwụkwọ Nsọ nke ọma.
25 Nwoke a natara ozizi banyere ụzọ Onyenwe anyị. O sitekwara n'ịnụ ọkụ nke obi
kuzie nnọọ ihe ziri ezi banyere Jisọs. Ma ihe ọ maara bụ naanị ihe gbasara baptizim
Jọn mere. 26 Ma ọ nọgidesịrị ike na-ekwuwa okwu n'ụlọ nzukọ. Mgbe Prisila na
Akwila nụrụ okwu ya, ha jekwuru ya, duru ya gaa n'ụlọ, were nwayọọ kọwaara ya
ihe niile banyere ụzọ Chineke.
27 Mgbe o zubere ịga obodo Akaịa, ndị ụmụnna gbara ya ume. Ha degaara ndị
na-eso ụzọ Onyenwe anyị nọ n'ebe ahụ akwụkwọ ka ha nabata ya. Mgbe ọ bịaruru,
Onyenwe anyị sitere n'aka ya mee ka amara ya baa ụba n'ebe ndị kwere ekwe nọ.
28 N'ihi na n'ihu ndị mmadụ niile, o guzoro kwuo okwu megide ozizi ọjọọ na ịrụ ụka
niile nke ndị Juu. O gosiri ha site n'akwụkwọ nsọ na Jisọs bụ Kraịst ahụ.

# 19

### *Pọl n'obodo Efesọs*

1 Mgbe Apọlọs nọ na Kọrint, Pọl sitere ụzọ nke n'ime elu ala bịarute Efesọs. N'ebe
ahụ, ọ hụrụ ụfọdụ ndị na-eso ụzọ ahụ, 2 sị ha, "Unu natakwara Mmụọ Nsọ mgbe unu
kweere?"
Ha sịrị ya, "Mba, anyị anụbeghị na ọ nwere ihe dịka Mmụọ Nsọ."
3 Ya mere, ọ sịrị, "Gịnị ka unu kwenyere n'ime ya mgbe e mere unu baptizim?"
Ha sịrị, "Baptizim nke Jọn."
4 Mgbe ahụ, Pọl sịrị, "Baptizim Jọn bụ nke gbasara nchegharị site na mmehie, na-
agwa ndị mmadụ ka ha kwere n'onye ahụ na-eso ya na-abịa, nke bụ, ikwere n'ime
Jisọs." 5 Mgbe ha nụrụ nke a, e mere ha baptizim n'aha Onyenwe anyị Jisọs. 6 Mgbe
Pọl bikwasịrị ha aka ya abụọ n'isi, ha natara Mmụọ Nsọ. Ha kwukwara okwu n'asụsụ
dị iche iche, bukwaa amụma. 7 Ha niile ruru ndị ikom iri na abụọ.

8 Ọ banyere n'ụlọ nzukọ ahụ ma were nkwuwa okwu, na ịrụ ụka n'ebe o doro anya
gwasie ha okwu ike banyere alaeze Chineke. Ọ bụ ọnwa atọ ka o were ya ime nke
a. 9 Ma ụfọdụ n'ime ha mechiri obi ha; ha juru ikwenye, kama ha kwuru okwu ọjọọ
megide Ụzọ ahụ n'ihu ọgbakọ ahụ niile. Ya mere, o sitere n'ebe ha nọ pụọ, kpọrọkwa
ndị na-eso ụzọ ahụ, ha na-akparịta ụka kwa ụbọchị n'ụlọ ọgbakọ* Tiranọs. 10 Ihe
ndị a gakwara n'ihu afọ abụọ. Ndị niile bi na Eshịa nụkwara oziọma Onyenwe anyị.
Ọtụtụ n'ime ha bụ ndị Juu, ma ndị ọzọ bụ ndị Griik.

### *Ụmụ Skiva*

11 Chineke sitere n'aka Pọl rụọ ọtụtụ ọrụ ebube pụrụ iche. 12 Nke bụ na-ewere
ụfọdụ n'ime akịsị maọbụ ịchafọ na akwa mgbochi nke metụrụ ya n'ahụ na-atụkwasị
n'ahụ ndị ọrịa, ahụ a dịkwa ha ike. E sitekwara na ya chụpụ mmụọ ọjọọ.

13 Ụfọdụ ndị Juu dịkwa ndị na-ejegharị n'obodo dị iche iche na-achụpụ mmụọ ọjọọ
n'ime mmadụ. Ha chọkwara ime nke a n'aha Onyenwe anyị Jisọs na-asị, "E ji m
aha Jisọs, onye Pọl na-ekwusa na-enye unu iwu ka unu site n'ime ya pụta." 14 Ndị
na-eme ihe dị otu a bụ ụmụ asaa nke Skiva, onyeisi nchụaja, bụ onye Juu. 15 Mmụọ
ọjọọ ahụ zara ha sị, "Amaara m onye Jisọs bụ, amakwaara m onye Pọl bụ, ma unu
onwe unu, unu bụ ndị ole?" 16 Nwoke ahụ mmụọ ọjọọ na-achị makwasịrị ha, tie ha
ihe nke ukwuu, mee ka ha gbaa ọsọ. Ha gbara ọtọ gbapụ n'ụlọ ahụ. Ha merụkwara
ahụ.

17 Akụkọ banyere ihe ndị a jezuru obodo Efesọs niile. Mgbe ahụ, ndị Juu na ndị
Griik ụfọdụ nụkwara ihe ndị a. Oke egwu jidekwara ha. N'ihi nke a, e mekwara
ka aha Onyenwe anyị Jisọs daa ụda n'ebe niile. 18 Ọtụtụ ndị kwenyerenụ bịara na-
ekwupụta omume ọjọọ ha niile, n'ihu mmadụ niile. 19 Ọtụtụ n'ime ndị na-agwọ ọgwụ
mgbaasị bupụtara akwụkwọ niile ha ji na-eme mgbaasị, kpọọ ha ọkụ n'ihu mmadụ
niile. Akwụkwọ niile a kpọrọ ọkụ n'ụbọchị ahụ ga-eru ego ruru puku ọlaọcha iri ise.
20 Ya mere, okwu Onyenwe anyị toro, na-agbasa n'ike n'ike na-adịkwa ire.

21 Mgbe ihe ndị a gasịrị, Pọl kpebiri n'ime mmụọ ya na ya ga-eje ruo Masidonia
na Akaịa tupu ọ bịaruo Jerusalem. O sịkwara "na ya aghaghị ijeru Rom n'ọgwụgwụ
ije ya niile." 22 O zipụrụ ndị na-enyere ya aka, bụ Timoti na Erastọs ka ha buru ụzọ
jeruo Masidonia. Ma ya onwe ya nọgidere n'ime Eshịa nwa oge.

### *Ọgbaaghara n'obodo Efesọs*

23 Ma ọ bụ n'oge a ka oke nsogbu malitere megide Ụzọ ahụ. 24 Otu onye ụzụ na-
agbaze ọlaọcha, aha ya bụ Dimitriọs, onye ji ọlaọcha na-akpụ ụlọ arụsị ala ahụ a
na-akpọ Atemis. Ọ na-ewetara ya na ndị ụzụ ibe ya ego n'ebe o hiri nne. 25 Nwoke
a kpọkọtara ndị ọrụ ya niile, na ndị ya na ha na-arụkọ otu ọrụ, sị, "Ndị ibe m, unu
ma na ọ bụ site n'ọrụ nke a ka anyị si enweta akụnụba anyị. 26 Unu niile ahụla ma
nụkwa, otu nwoke a na-akpọ Pọl si rafuo ọtụtụ ndị mmadụ site n'ime ka ha kwenye
na chi† ọbụla e ji aka mee abụghị chi. Ọ bụkwaghị naanị n'Efesọs kama ọ fọdụrụ
ihe nta ka ọ bụrụ n'Eshịa niile. 27 Ọ bụkwaghị naanị na ihe ize ndụ dị banyere ọrụ
aka anyị nke a ga eleli kama tinyere nke a, ụlọ nke oke chi nwanyị bụ Atemis agaghị
enwekwa nsọpụrụ. Ya bụ, chi nwanyị n'onwe ya bụ onye a na-efe n'obodo Eshịa
niile nakwa n'elu ụwa niile ka a ga-anapụ nkwanye ugwu dịrị ya dịka chi."

28 Ma mgbe ha nụrụ ihe ndị a, ha were oke iwe tie mkpu na-asị, "Atemis ndị Efesọs
dị ukwuu!" 29 Ọgbaaghara ahụ gbasara, zuo obodo ahụ niile. Ha banyere n'ebe a
na-eme ihe ileleanya, kpọpụta Gaiọs na Arịstakọs ndị Masidonia, bụ ndị ha na Pọl na-
arụkọ ọrụ. 30 Pọl chọrọ ịbakwuru igwe mmadụ ahụ, ma ndị na-eso ụzọ ahụ ekweghị

* **19:9** 19:9 Nke a bụ ebe a na-anọ na-akụziri ọha mmadụ ihe. † **19:26** 19:26 Ya bụ, chi nke mmadụ hiwere

ya. 31 Otu aka ahụ kwa, ụfọdụ ndị enyi ya n'etiti ndị na-achị Eshịa zigakwaara ya ozi
na-arịọ ya ka ọ hapụ ịbanye n'ebe ahụ a na-eme ihe ileleanya.
32 Ugbu a, nzukọ ahụ na-agba aghara, ụfọdụ mmadụ na-eti mkpu otu ihe, ndị ọzọ
na-eti ihe ọzọ. N'ezie, ọtụtụ n'ime ha amatakwaghị ihe ha jiri nọdụ n'ebe ahụ.
33 Ụfọdụ ndị Juu n'ime ọgbakọ ahụ nupuru Alegzanda, sepụta ya, mee ka o buru
ụzọ. Alegzanda feere ha aka ka ha dere duu mgbe ọ chọrọ ịgọrọ onwe ya n'ihu ọha
mmadụ ahụ. 34 Ma n'otu ntabi anya ahụ, mgbe ha matara na ọ bụ onye Juu, ha
bidoro iti mkpu ihe dịka ogologo awa abụọ na-asị, "Atemis ndị Efesọs dị ukwuu!"
35 N'ikpeazụ, ode akwụkwọ nke obodo ahụ kwụsịrị igwe mmadụ ahụ ime ụzụ. O
kwuru, "Ndị ikom Efesọs, o nwere onye na-amaghị na obodo Efesọs bụ obodo na-
echekwa ụlọ ofufe Atemis, na oyiyi ya nke si n'eluigwe daa? 36 Ebe ihe ndị a adịghị
na ngọpụ, ọ dị mkpa ka unu nọdụ nwayọọ, ghara imebi ihe ọbụla n'echeghị echiche.
37 Lee ugbu a, ndị a unu kpọtara n'ebe a abụghị ndị ohi, ndị na-ezuru ihe n'ogige chi
anyị, maọbụ na-ekwutọ eze nwanyị arụsị anyị. 38 Ọ bụrụ na Dimitrịọs na ndị ọkpụ
ụzụ ibe ya nwere ihe ọbụla megide ha, ha gaa n'ụlọikpe. Ndị na-ekpe ikpe ga-eleba
okwu ha anya. Kama ha mee ya n'usoro iwu kwadoro. 39 Ma ọ bụrụ na o nwere ihe
ọzọ dị iche unu chọrọ ka e mee, a ga-edozi ya na nzukọ nke ndị obodo na-eme n'ụzọ
ziri ezi. 40 N'ihi na egwu dị, na-eleghị anya a ga-eji ihe nke mere taa boo anyị ebubo
na anyị na-ebute ọgbaaghara. Anyị enweghị ọsịsa ziri ezi banyere ọgbaaghara nke
a." 41 Mgbe o kwuchara nke a, ọ gbasara ha.

# 20

### *Pọl agaa obodo Masidonia na Griis*

1 Mgbe ọgbaaghara ndị a kwụsịrị, Pọl kpọkwara ndị na-eso ụzọ ahụ, gbaa ha
ume, gwa ha ka ha nọdụ nke ọma, ọ pụrụ gawa Masidonia. 2 Mgbe ọ gaghaṛịchara
n'akụkụ ala ahụ niile, werekwa okwu nkasiobi gbaa ndị ụmụnna ume, ọ bịaruru ala
Griis. 3 Ọ nọrọ ọnwa atọ n'ebe ahụ. Mgbe ọ chọpụtara na ndị Juu agbaala ajọ izu
megide ya dịka ọ na-ejikere iso ụgbọ mmiri gaa Siria, o kpebiri ka ya si ụzọ Masidonia
laghachi. 4 Sopata onye Boria bụ ọkpara Pirọs, na Arịstakọs, na Sekundus ndị si na
Tesalonaịka, na Gaiọs onye Debi na Timoti, na Taịkikọs na Trofimọs, ndị Eshịa sokwa
ya na-aga ije a. 5 Ndị a bu ụzọ gawa, na-eche anyị na Troas. 6 Mgbe Mmemme Ngabiga
ahụ gwụsịrị, anyị banyere ụgbọ mmiri rute Filipai bịakwute ha na Troas n'ụbọchị
nke ise. Anyị nọrọ n'ebe ahụ ụbọchị asaa.

### *Mkpọlite Yutikọs site n'ọnwụ n'obodo Troas*

7 N'ụbọchị mbụ n'izu ụka, mgbe anyị zukọrọ ịnyawa achịcha, Pọl gwara ha okwu,
ebe ọ na-akwado ịla ma chi bọọ, o kwugidere okwu ruo n'etiti abalị. 8 Ọtụtụ oriọna
dịkwa n'ime ọnụụlọ ahụ dị n'ụlọ elu ebe anyị zukọrọ. 9 Otu nwokorobịa a na-akpọ
Yutikọs nọdụrụ ala n'oghereikuku, ọ bụ onye oke ụra bidoro ịtụ dịka Pọl na-ekwu
okwu ruo oge dị anya. Mgbe ọ dara n'oke ụra a, o sitere na n'ụlọ elu nke atọ dapụ,
daa n'ala. Mgbe e buliri ya, ọ bụ onye nwụrụ anwụ. 10 Pọl rituru n'ala selite ya elu
jikụọ ya. Ọ sịrị ndị gbakọrọ n'ebe ahụ sị, "Ka obi hapụ ịlọ unu mmiri ọ dị ndụ." 11 Ọ
laghachikwara n'ụlọ elu ahụ, mgbe ọ nyawachara achịcha ma riekwa, o kwugidere
okwu tutu chi abọọ, ọ hapụrụ ha bilie ije ya. 12 Ha kulitere nwokorobịa ahụ na ndụ
nke mere ka ọṅụ jupụta ha n'obi. Ọ gbakwara ha ume nke ukwuu.

### *Ekele ikpeazụ nke Pọl nye ndị okenye Efesọs*

13 Anyị onwe anyị gara n'ihu banye n'ụgbọ mmiri chee ihu ịga Asọs. Ebe anyị
zubere iburu Pọl n'ụgbọ anyị. O soghị anyị n'ihi na o zubere iji ụkwụ ruo ebe ahụ.
14 Mgbe o zutere anyị n'Asọs, anyị buru ya n'ụgbọ gaa Mitilen. 15 N'ụbọchị nke ọzọ
ya, anyị rutere Kiọs, n'ụbọchị nke so ya, anyị gafere rute Samọs. Ma mgbe otu ụbọchị

ọzọ gasịrị, anyị rutere Melitọs. 16 N’oge a, Pọl kpebiri na ọ gaghị akwụsị n’Efesọs ka
ọ ghara itufu oge n’Eshịa, n’ihi na ọ na-eme ngwangwa irute Jerusalem n’ụbọchị
mmemme Pentikọọsụ, ma ọ bụrụ ihe ọ pụrụ ime.
17 Site na Melitọs, ọ zipụrụ ozi ka a kpọọrọ ya ndị okenye chọọchị nke Efesọs ka
ha bịa zute ya. 18 Oge ha bịakwutere ya, ọ gwara ha, “Unu maara nke ọma otu m
si nọ n’etiti unu mgbe niile mụ na unu nọrọ, site n’ụbọchị mbụ ụkwụ m zọkwasịrị
n’ala Eshịa tutu ruo ugbu a. 19 Arụrụ m ọrụ Onyenwe anyị site n’obi umeala na anya
mmiri n’etiti ntaramahụhụ dị ukwuu, site n’izu ọjọọ ndị Juu gbara maka m. 20 Unu
hụrụ na m ahapụghị ime ka unu mara ihe ọbụla ga-abara unu uru, mgbe ọbụla m
na-akụziri unu ihe n’ụlọ maọbụ n’ihu ọha. 21 E kwusaala m nye ma ndị Juu ma ndị
Griik okwu nchegharị n’ebe Chineke nọ, na okwukwe n’ebe Onyenwe anyị Jisọs nọ.
22 “Ma otu ọ dị, ana m aga Jerusalem dịka iwu Mmụọ Nsọ nyere m si dị, ma amaghị
m ihe ọnọdụ m ga-abụ n’ebe ahụ. 23 Karịakwa na Mmụọ Nsọ na-agbara m ama n’ebe
ọbụla na mkpọrọ na ntaramahụhụ na-eche m n’ebe ahụ. 24 Ma akpọghị m ndụ m
ihe ọbụla. Karịa naanị ka m gbazuo ọsọ m ma jezuokwa ozi ahụ m natara n’aka
Onyenwe anyị Jisọs, nke bụ ịkọwa banyere oziọma nke amara Chineke.
25 “Ma ugbu a, amaara m na o nweghị onye ọbụla n’ime unu, bụ ndị m jegharịrị
n’etiti ha na-ezisara ihe banyere alaeze a ga-ahụ m anya ọzọ. 26 Ya mere, ana m
agwasị unu ike, taa, na abụ m onye aka ya dị ọcha n’ebe ọbara onye ọbụla n’ime
unu dị. 27 N’ihi na-esepụghị m aka ikwupụta nzọpụta Chineke nye unu. 28 Ma ugbu
a, kpacharanụ anya! Leziekwanụ onwe unu na igwe atụrụ nke Mmụọ Nsọ mere unu
ndị nlekọta anya ya. Ka unu bụrụ ndị ọzụzụ atụrụ nke chọọchị Chineke, bụ nke o
ji ọbara ya zụtara onwe ya. 29 N’ihi na amaara m na mgbe m lachara, agụ jọgburu
onwe ya ga-abata n’etiti unu nke na-agaghị emere igwe atụrụ ebere. 30 Ụfọdụ n’ime
unu ga-ebili tụgharịa eziokwu ahụ ịhụ ka ha si otu a dọrọ ụfọdụ ndị na-eso ụzọ ahụ
nye onwe ha. 31 Ya mere, na-echenụ nche! Chetakwanụ na n’ime afọ atọ m nọrọ
n’etiti unu, ehihie na abalị, eji m ịkwa akwa na anya mmiri na-adụ unu ọdụ.
32 “Ugbu a ana m etife unu n’aka Chineke na nlekọta ya. Ana m etifekwa unu
n’aka okwu amara ya nke pụrụ ịgba okwukwe unu ume na inyekwa unu akụnụba ọ
kwadobeere ndị ahụ e doro nsọ. 33 Ọ dịghị mgbe ọbụla agụụ ịdọtara onwe m ọlaọcha
maọbụ ọlaedo maọbụ uwe nke onye ọbụla ji guọ m. 34 Ọ bakwaghị uru ịgwa unu
na ọ bụ aka m rụpụtara ọrụ gbooro m mkpa niile, na nke gbokwara mkpa ndị ahụ
mụ na ha so. 35 N’ihe niile, abụkwa m ihe ilere anya nye unu banyere inyere ndị
ogbenye aka, site n’ịrụ ọrụ n’ụzọ dị otu a, na-echetara m okwu nke Onyenwe anyị
Jisọs kwuru sị, ‘Ngọzị karịrị dị n’inye enye karịa ịnara anara.’ ”
36 Mgbe o kwusiri okwu ndị a, o soro ha niile gbuo ikpere n’ala kpekwa ekpere.
37 Ha bere akwa nke ukwuu, makụọ Pọl, sutukwa ya ọnụ. 38 O wutere ha karịa na o
kwuru na ha agaghị ahụ ya anya ọzọ. Emesịa, ha duru ya ruo ebe ọ banyere ụgbọ
mmiri.

# 21

*Pọl agaa Jerusalem*

1 Mgbe anyị hapụsịrị ha, anyị nyapụrụ ụgbọ anyị bịaruo Kos. N’echi ya, anyị
rutere Rods. Anyị sitere n’ebe ahụ jeruo Patara. 2 Mgbe anyị hụrụ ụgbọ mmiri na-
aga Fonisia, anyị banyere n’ime ya kwọpụ. 3 Mgbe anyị kwọruru ụgbọ anyị ebe anyị
nwere ike ịhụ Saiprọs, anyị siri n’aka ekpe ya gafee, ruo Siria. Anyị rutere n’ọnụ
mmiri Taịa, ebe ụgbọ mmiri ga-akwapụ ibu dị n’ime ya. 4 Mgbe anyị chọtara ndị
na-eso ụzọ ahụ, anyị nọnyere ha abalị asaa. Ha gwara Pọl site n’ike nke Mmụọ Nsọ,
ka ọ ghara ịga Jerusalem. 5 Mgbe anyị nọzuru ụbọchị anyị, anyị hapụrụ ha, bilie ije.
Ha na nwunye ha na ụmụ ha so dupu ruo mgbe anyị si n’obodo ahụ pụọ. Anyị na

ha gburu ikpere n’ala n’ọnụ mmiri kpee ekpere. 6 Mgbe ahụ, anyị kelere onwe anyị
ekele ikpeazụ. Emesịa, anyị banyere n’ime ụgbọ, ma ha laghachiri azụ n’ụlọ ha.
7 Mgbe anyị hapụrụ Taịa, anyị kwụsịrị na Tolomas. N’ebe a anyị kelekwara ndị
kwere ekwe nọ n’ime obodo a, nọnyere ha naanị otu ụbọchị. 8 N’ụbọchị nke ọzọ ya,
anyị gara n’ihu n’ije anyị rute Sizaria. N’ebe ahụ, anyị nọnyeere otu nwanna anyị a
na-akpọ Filip onye na-agbasa oziọma. Ọ bụ otu n’ime mmadụ asaa ahụ. 9 O nwere
ụmụ agbọghọ anọ ndị na-alụbeghị di. Ha nwekwara onyinye ibu amụma.
10 Mgbe anyị nọrọ ọtụtụ ụbọchị n’ebe ahụ, ka otu onye amụma a na-akpọ Agabọs,
si Judịa bata. 11 Ọ bịakwutere anyị, chilite belịt Pọl na-eke n’ukwu, kee onwe ya
n’ụkwụ na aka sị, “Dịka Mmụọ Nsọ kwuru, ‘otu a ka ndị ndu ndị Juu ga-eke onye
nwe ihe a agbụ na Jerusalem. Ha ga-ararakwa ya nye n’aka ndị mba ọzọ.’ ”
12 Mgbe anyị nụrụ nke a, anyị na ndị niile nọ n’ebe ahụ rịọrọ Pọl ka ọ ghara ịga
Jerusalem. 13 Ma Pọl zaghachiri, “Gịnị ka unu na-eme, ọ bụ akwa ka unu na-ebe,
na-eme ka obi gbawaa m? N’ihi na ọ bụghị naanị na m dị njikere ka e kee m agbụ,
kama ejikekwara m iwere ndụ m nye na Jerusalem n’ihi aha Onyenwe anyị Jisọs.”
14 Ebe ọ na-ekweghị ege anyị ntị, anyị kwụsịrị ma sị, “Ka e mee uche Onyenwe anyị.”
15 Mgbe ụbọchị ndị a gasịrị, anyị jikere bilie ịga Jerusalem. 16 Ụfọdụ ndị na-eso ụzọ
ahụ ndị nọ na Sizaria, duuru anyị gaa, ha kpọruru anyị n’ụlọ Mnasin, onye Saiprọs
ebe anyị ga-anọ dịka ọbịa, onye sitere na mbụ bụrụ onye na-eso ụzọ ahụ.

### *Pọl erute Jerusalem*

17 Mgbe anyị rutere Jerusalem, ndị ụmụnna jiri obi ụtọ nabata anyị. 18 N’ụbọchị
nke so ya, anyị na Pọl gara ileta Jemis, ndị okenye niile nọkwa n’ebe ahụ. 19 Mgbe o
kelechara ha, ọ kọọrọ ha n’otu n’otu, ihe niile Chineke rụrụ n’etiti ndị mba ọzọ site
n’ije ozi ya.
20 Mgbe ha nụchara nke a, ha nyere Chineke otuto. Emesịa, ha sịrị Pọl, “Leenụ
nwanna, otu ọtụtụ puku ndị Juu si bụrụ ndị kwere ekwe, ha niile ka ihe banyere iwu
a na-anụ ọkụ n’obi. 21 A kọọrọla ha ihe banyere gị, na ị na-ezi ndị Juu bi n’etiti ndị
mba ọzọ ka ha hapụ ịgbasokwa iwu Mosis, na ka ha kwụsịkwa ibi ụmụ ha ugwu
maọbụ bie ndụ n’usoro omenaala anyị. 22 Gịnị ka anyị ga-eme ugbu a? O doro anya
na ha ga-amata na ị bịara n’ebe a. 23 Ya bụ, jisie ike mee ihe anyị ga-agwa gị ugbu
a. Anyị nwere mmadụ anọ n’ebe a, ndị nọ na nkwa ha kwere Chineke. 24 Soro ha
mee omenaala ahụ nke ndị nọ na nkwa ji edo onwe ha ọcha. Kwụọrọ ha ụgwọ maka
ịkpụcha isi ha. I mee otu a, mmadụ niile ga-amata na eziokwu adịghị n’ihe ndị a
niile e kwuru maka gị, kama na gị onwe gị na-agazi ma na-edebekwa iwu. 25 Ma
n’ebe ndị mba ọzọ kwere ekwe nọ, anyị edegarala ha akwụkwọ gwa ha kwụsị iri ihe
ọbụla a chụrụ n’aja nye arụsị, na iri ọbara, maọbụ anụ a nyagburu anyagbu, ya na
ịkwa iko.”
26 Pọl kpọọrọ ndị ikom anọ ndị ahụ tinyere onwe ya, n’ụbọchị so ya mee ka ya na
ha dị ọcha. Mgbe ahụ, ọ banyere n’ụlọnsọ ukwu ahụ, maka ikwupụta ụbọchị ole
mmemme ịdị ọcha ahụ ga-anọ tupu e mechaa ya, nakwa mgbe ịchụ aja n’ihi ha n’otu
n’otu ga-abụ.

### *Njide e jidere Pọl*

27 Ma mgbe ọ fọdụrụ nwa oge nta ka ụbọchị asaa ahụ gwụchaa, ụfọdụ ndị Juu si
Eshịa bịa hụrụ ya n’ụlọnsọ ukwu ahụ. Ha tikuru igwe mmadụ ma kpaliekwa ha.
Ha jidere ya, 28 na-eti mkpu, “Ndị ikom Izrel, nyerenụ anyị aka! Onye a bụ nwoke
ahụ na-ejegharị n’ebe niile na-ezi ozizi megidere ndị nke anyị, iwu anyị nakwa ebe
a. Ma nke kachasị nke, ọ merụọkwala ụlọnsọ a site n’ịkpọbata ndị Griik n’ime ya.”
29 (N’ihi na ha ebula ụzọ hụ ya na Trofimọs onye Efesọs n’ime obodo, ha chere na
Pọl kpọbatara ya n’ụlọnsọ ukwu ahụ.)

30 Ọgbaaghara jupụtara n’obodo ahụ niile. Ndị mmadụ gbakọtara dọkpụpụta Pọl
site n’ụlọnsọ ukwu ahụ. N’otu mgbe ahụ, e mechiri ọnụ ụzọ niile. 31 Mgbe ha na-achọ
igbu ya, ozi ruru ọchịagha ntị na Jerusalem niile nọ n’ọgbaaghara. 32 Otu mgbe ahụ
o duuru ụfọdụ ndịisi agha ya na ndị agha ya mee ngwangwa bịaruo n’ebe ha nọ.
Mgbe ha hụrụ ndị agha ka ha na-abịa, ha kwụsịrị iti Pọl ihe.
33 Ọchịagha ahụ bịara jide ya, nye iwu ka e were ụdọ igwe abụọ kee ya agbụ, ọ
jụkwara onye ọ bụ na ihe o mere. 34 Ụfọdụ n’ime igwe mmadụ ahụ na-eti mkpu
na-ekwu otu ihe, ebe ụfọdụ na-eti na-ekwu ihe ọzọ. Mgbe ọ na-apụghị ịchọpụta
ihe bụ isi mkpọtụ na ọgbaaghara ahụ, o nyere iwu ka e duru ya gaa n’ogige ndị
agha. 35 Mgbe o rutere na mgbagolite ọnụ ụzọ ụlọ ahụ, ndị agha bulitere ya elu n’ihi
ọgbaaghara igwe ndị mmadụ dị ukwuu. 36 Igwe mmadụ ahụ so ha nọ na-eti mkpu,
“Wepụnụ ya! Wepụnụ ya!”

### *Pọl agọrọ onwe ya*

37 Mgbe ha chọrọ iduba Pọl n’ime ogige ahụ, ọ sịrị ọchịagha ahụ, “Ị ga-ekwe ka m
gwa gị okwu?”
Ọ sịrị, “I maara asụ asụsụ ndị Griik? 38 Ọ pụtara na ị bụghị onye Ijipt ahụ malitere
ọgbaaghara ma duuru puku ndị ogbu mmadụ anọ gbalaa n’ọzara?”
39 Pọl sịrị, “Abụ m onye Juu si Tasọs, obodo dị na Silisia, nwa afọ oke obodo amara
aha ya. Biko, kwee ka m gwa ndị mmadụ okwu.”
40 Mgbe o nyere ya ikike, Pọl guzooro n’ihe nrigo nke ọnụ ụzọ ahụ fee aka ya ime
ka ha nọọ duu. Mgbe ha nọdụrụ nwayọọ, ọ gwara ha okwu n’asụsụ Hibru* sị,

## 22

1 “Ụmụnna m na ndị nna anyị, geenụ m ntị mgbe m na-agọrọ onwe m n’ihu unu.”
2 Mgbe ha nụrụ na ọ na-agwa ha okwu n’asụsụ Hibru, ha deere duu karịa.
Mgbe ọ sịrị, 3 “Abụ m onye Juu. Amụrụ m na Tasọs n’ime Silisia. Azụrụ m na
obodo a n’ụkwụ Gamaliel onye nkuzi m. Anatara m ọzụzụ dị ike na ịsọpụrụ iwu
nke nna nna anyị ha ejikwa m ịnụ ọkụ n’obi na-efe Chineke dịka unu niile si eme
taa. 4 Akpagburu m ndị niile na-eso ụzọ ọhụrụ a, na-etinye ha n’aka ọnwụ. Ejidere
m ndị ikom na ndị inyom ha tụbakwa ha n’ụlọ mkpọrọ. 5 Ma dịka onyeisi nchụaja
na nzukọ ndị okenye niile pụrụ ịgbara m akaebe. Anatakwara m n’aka ha akwụkwọ
ozi e deere ụmụnna anyị nọ na Damaskọs. Agara m ebe ahụ ịkpụta ha n’agbụ bịa
Jerusalem maka ịta ha ahụhụ.

### *Akụkọ nchegharị Pọl*

6 “N’etiti ehihie, mgbe m na-aga n’ụzọ, n’ebe dị Damaskọs nso, oke ìhè nke si
n’eluigwe, chara gburugburu m. 7 Adara m n’ala ma nụkwa olu gwara m okwu sị m,
‘Sọl, Sọl, gịnị mere i ji na-akpagbu m?’
8 “ ‘Onye ka ị bụ Onyenwe m?’ Ka m jụrụ.
“Ọ sịrị m, ‘Abụ m Jisọs onye Nazaret onye ị na-akpagbu.’ 9 Ndị mụ na ha so hụkwara
ìhè ahụ, ma ha anụghị olu onye ahụ na-agwa m okwu.
10 “Asịrị m, ‘Gịnị ka m ga-eme Onyenwe anyị?’
“Onyenwe anyị sịrị m, ‘Bilie banye Damaskọs; n’ebe ahụ a ga-agwa gị ihe niile
a kwadobere na ị ga-eme.’ 11 N’ihi na-enweghị m ike ịhụ ụzọ n’ihi ebube ìhè ahụ
chachiri m anya. Ya mere ndị mụ na ha so sekpụụrụ m n’aka bata na Damaskọs.
12 “N’ebe ahụ ka Ananayas bi, bụ onye anyị pụrụ ịgụ n’onye ezi omume n’ihi
idebe iwu. O nwekwara ọgbụgba ama dị mma site n’ọnụ ndị Juu bi n’ebe ahụ.
13 Ọ bịakwutere m, guzoro n’akụkụ m sị, ‘Nwanna anyị Sọl, ka emee ka ị hụ ụzọ!’
Otu mgbe ahụ, e nwetara m ike ịhụ ụzọ, m hụkwara ya.

* **21:40** 21:40 Maọbụ, Aramaik

14 “Mgbe ahụ, ọ sịrị, ‘Chineke nke nna nna anyị ha ahọpụtala gị ịmara uche ya na
ịhụ Onye Ezi Omume ahụ na ịnụta okwu site n’ọnụ ya. 15 Ị ga-abụ onyeama ya nye
ndị niile banyere ihe ị hụrụ na ihe ị nụrụ. 16 Ma ugbu a, gịnị ka ị na-eche? Bilie ọtọ,
ka e mee gị baptizim, ka a sachakwa gị site na mmehie, na-akpọkukwa aha ya.’

*Pọl onyeozi nye ndị mba ọzọ*

17 “Mgbe m lọghachikwara na Jerusalem, nọrọ na-ekpe ekpere n’ụlọnsọ ukwu ahụ,
ahụrụ m ọhụ, 18 ebe ọ na-agwa m, ‘Mee ngwa! Hapụ Jerusalem, n’ihi na ndị bi n’ala
a agaghị anara ọgbụgba ama gị banyere m.’
19 “Ma asịrị m, ‘Onyenwe anyị, ndị a maara nke ọma na m na-aga n’ụlọ nzukọ
n’otu n’otu, na-atụba ndị kwere na gị n’ụlọ mkpọrọ, na-etikwa ha ihe. 20 N’oge a
na-awụfu ọbara onyeama gị bụ Stivin, eguzo m nso na-akwado n’ihe emere dị mma,
ma na-elekọtakwa uwe ndị ahụ tụgburu ya anya.’
21 “Mgbe ahụ, ọ sịrị m, ‘Gawa; n’ihi na aga m ezipu gị ebe dị anya ijekwuru ndị
mba ọzọ.’ ”

*Pọl onye Rom*

22 Ha ṅara ya ntị ruo ugbu a. Mgbe ahụ, ha niile tiri mkpu n’otu olu sị, “Wepụnụ
onye dị otu a n’ụwa! O kwesighị ka onye dị otu a dịrị ndụ!”
23 Ha tiri mkpu na-atụli uwe mgbokwasị ha elu, na-achilikwa aja n’ala na-efesasị ya
ebe niile, 24 ọchịagha ahụ nyere iwu ka a kpụgaa ya n’ogige ndị agha, pịa ya ụtarị,
ka eziokwu pụta ya n’ọnụ. Ọ chọrọ ịmata ihe mere ha ji eti mkpu otu a megide ya.
25 Ma mgbe ha chịịrị ụdọ akpụkpọ kechaa ya, Pọl sịrị onye agha guzo ya nso, “Ọ bụ
ihe ziri ezi n’iwu na unu ga-eti nwa afọ Rom ihe, onye na-enweghị ikpe a mara ya?”
26 Mgbe onye agha a nụrụ okwu a, o jekwuuru ọchịagha ahụ sị, “Gịnị ka ị na-aga
ime? Nwoke a bụkwa onye Rom.”
27 Ọchịagha ahụ bịakwutere sị ya, “Gwa m, ị bụ onye Rom?”
Ọ sịrị, “E.”
28 Ọchịagha ahụ zara, “ma o furu m ego dị ukwuu iji bụrụ onye Rom.”
Ma Pọl sịrị, “Amụrụ m dịka nwa afọ ala a.”
29 Ndị ahụ chọrọ ịgba ya ajụjụ ọnụ mere ngwangwa wezuga onwe ha. Egwu
tụkwara ọchịagha n’onwe ya mgbe ọ matara na ọ bụ nwa afọ Rom, n’ihi na o keela
ya rịị agbụ na mbụ.

*Pọl n’ihu ndị ikpe*

30 N’echi ya, ebe ọ chọrọ ịmata ihe bụ isi okwu na ihe mere ndị Juu ji ebo ya ebubo,
o nyere iwu ka ndịisi nchụaja na ndị ụlọ ikpe ha zukọọ. Mgbe ahụ, o dupụtara Pọl,
mee ka o guzo n’ihu ha.

# 23

*Pọl n’ihu nzukọ ndị Juu*

1 Mgbe Pọl legidere ndị nzukọ a anya, ọ sịrị, “Ụmụnna m, mụ onwe m ejirila ezi
akọnuche bie ndụ m niile n’ihu Chineke ruokwa ụbọchị taa.” 2 Nke a mere, Ananayas
onyeisi nchụaja nyere iwu ka ndị nọ ya nso tie ya aka n’ọnụ. 3 Ma Pọl, sịrị ya, “Otu
a ka Chineke ga-esi tie gị, gị mgbidi e tere nzu. Ụdị onye ikpe dị aṅaa ka ị bụ i ji
na-emebi iwu n’onwe gị site n’inye iwu ka e si otu a tie m ihe?”
4 Ndị guzo ya nso sịrị, “Ị na-ekwutọ onyeisi nchụaja Chineke?”
5 Ma Pọl sịrị, “Aghọtaghị m, ụmụnna m na ọ bụ onyeisi nchụaja. N’ihi na akwụkwọ
nsọ kwuru sị, ‘Ekwula okwu ọjọọ ọbụla megide onye na-achị ndị nke gị.’*”

* **23:5** 23:5 Ọpụ 22:28

6 Mgbe Pọl chọpụtara na otu ụzọ n’ime nzukọ ahụ bụ ndị otu Sadusii, ebe ndị ọzọ
bụkwa ndị Farisii, o tiri mkpu n’ime nnọkọ ahụ sị, “Ụmụnna m, abụ m onye Farisii
na nwa ndị Farisii. A na-ekpe m ikpe taa n’ihi olileanya m nwere na mbilite n’ọnwụ
nke ndị nwụrụ anwụ.” 7 Mgbe o kwusiri nke a esemokwu dapụtara n’etiti ndị Farisii
na ndị Sadusii. Ọgbakọ ahụ kewara. 8 N’ihi na ndị Sadusii na-asị na mbilite n’ọnwụ
maọbụ mmụọ ozi maọbụ mmụọ ọbụla adịghị. Ma ndị Farisii kweere n’ihe ndị a niile.
9 Mkpọtụ malitere na-ada ike ike. Ụfọdụ ndị ozizi iwu so n’otu ndị Farisii biliri ọtọ
malite ịrụ ụka n’oke olu sị, “Anyị ahụghị ihe ọjọọ n’ebe nwoke a nọ, ma gịnịkwa
ma ọ bụrụ na ọ bụ mmụọ, maọbụ mmụọ ozi gwara ya okwu?” 10 Esemokwu a bịara
karịa, nke mere na onyeisi ọchịagha tụrụ egwu na ha ga-adọkasị Pọl. Ọ gwara ndị
agha ya ka ha banye were ike kpọpụta ya, ziga ya n’ogige ndị agha.
11 N’abalị ya, Onyenwe anyị bịakwutere ya sị, “Nwee obi ike, dịka i si gbaa ama
banyere m na Jerusalem, ị ghaghị ịgbakwara m ama na Rom.”

### *Izuzu igbu Pọl*

12 N’ụtụtụ echi ya ụfọdụ ndị Juu zukọtara gbaa izu, ṅụọkwa iyi na ha agaghị eri
nri maọbụ ṅụọ ihe ọbụla tutu ruo mgbe ha gburu Pọl. 13 Ndị zukọtara gbaa izu ọjọọ
a karịrị iri mmadụ anọ. 14 Ha jekwuuru ndịisi nchụaja ha na ndị okenye, sị ha, “Anyị
kwekọtara ịhapụ iri maọbụ ịṅụ ihe ọbụla tutu ruo mgbe anyị gburu Pọl. 15 Ugbu a,
unu na nzukọ zienụ onyeisi ọchịagha ka ọ kpọpụtara unu ya. Meenụ ka unu na-achọ
ịjụpụtasị eziokwu n’ọnụ ya nakwa itule ikpe ya nke ọma. Anyị dị njikere igbu ya
n’ụzọ tupu ọ bịaruo unu nso.”
16 Ma nwa nwanne nwanyị Pọl nụrụ maka izuzu ọjọọ a. Ọ banyere n’ogige ndị
agha kọọrọ Pọl.
17 Pọl kpọrọ otu n’ime ndịisi agha ahụ gwa ya, “Biko kpọrọ nwokorobịa a gaa n’ebe
ọchịagha nọ, o nwere okwu dị mkpa ọ chọrọ ịgwa ya.” 18 Ọ kpọọrọ ya jekwuru
onyeisi agha, sị.
“Pọl, onye mkpọrọ, kpọrọ m rịọ m ka m kpọtara gị nwokorobịa a n’ihi na o nwere
ihe ọ chọrọ ịgwa gị.”
19 Onyeisi agha ahụ duuru ya n’aka ya gaa n’akụkụ ọzọ jụọ ya, “Gịnị bụ ihe ị chọrọ
ịkọrọ m?”
20 Ọ sịrị, “Ndị Juu ụfọdụ ekwekọrịtala ịrịọ gị ka ị kpọpụta Pọl echi na nzukọ ụlọ
ikpe. Ha ga-eme dịka ha nwere ihe dị mkpa ha chọrọ ịjụta ya. 21 Ma aṅala ha ntị.
N’ihi na ihe karịrị iri mmadụ anọ na-ezo onwe ha na-eche inwude ya. Ndị a gbara
ndụ na ha agaghị eri maọbụ ṅụọ ihe ọbụla tutu ruo mgbe ha gburu ya. Ha adịla
njikere, ihe a na-eche bụ mkpebi gị nye arịrịọ ha.”
22 Ọchịagha ahụ zilagara nwokorobịa ahụ site n’inye ya iwu, “Emekwala ka onye
ọbụla mata na ị bịara gwa m ihe dị otu a.”

### *Pọl agaa Sizaria*

23 Mgbe e mesịrị, ọ kpọrọ mmadụ abụọ n’ime ndịisi agha nye ha iwu sị, “Gaanụ
jikere narị ndị agha abụọ, na iri mmadụ asaa ndị na-agba ịnyịnya, tinyere narị ndị
ikom abụọ ndị na-ama ùbe, ndị ga-aga Sizaria n’elekere itoolu nke abalị a. 24 Nyekwa
Pọl ịnyịnya nke ọ ga-agba, ka e nwee ike duru ya gakwuru Feliks bụ gọvanọ n’udo.”
25 O dere akwụkwọ n’olu dị otu a:
26 Klọdiọs Lisias,
Na-edegara Feliks onye nsọpụrụ na-adịrị, onye na-achị akụkụ a.
Ana m ekele gị.
27 Ndị Juu jidere nwoke a chọọ igbu ya, ma mgbe m nụrụ na ọ bụ onye Rom, mụ
na ndị agha m bịara napụta ya n’aka ha. 28 Achọrọ m ịmata ihe mere ha ji ebo ya
ebubo, n’ihi ya eduuru m ya gaa n’ọgbakọ ndị okenye ha. 29 Ma achọpụtara m na

ọ bụ ihe banyere iwu ha. N’eziokwu, o nweghị ihe ọbụla kwesiri iji tụọ ya mkpọrọ
maọbụ ọnwụ n’ime ebubo ahụ. 30 Mgbe a gwara m banyere izuzu a na-agba megide
nwoke a, ezitere m gị ya n’egbughị oge. Enyekwara m ndị niile na-ebo ya ebubo
iwu, ka ha bịa n’ihu gị kpee ọnụ ha.
31 Ya mere, n’abalị ahụ, ndị agha dubatara Pọl na Antipatris dịka e nyere ha n’iwu.
32 N’echi ya, ha hapụrụ ya na ndị na-agba n’elu ịnyịnya ka ha duru ya gawa, ebe ha
laghachiri n’ogige ndị agha. 33 Mgbe ha bịarutere Sizaria, ha nyere onyeisi obodo
ahụ akwụkwọ ozi, ma kpọnyekwa ya Pọl. 34 Gọvanọ ahụ gụrụ akwụkwọ ozi ahụ, jụọ
ya akụkụ ala o si pụta. Mgbe ọ matara na ọ bụ onye Silisia, 35 ọ sịrị ya, “Aga m enye
okwu gị ezigbo ohere mgbe ndị na-ebo gị ebubo bịara.” O nyekwara iwu ka e debe
ya n’obi Herọd n’aka ndị nche.

# 24

*Ebubo ndị Juu boro Pọl n’ihu Feliks*

1 Mgbe ụbọchị ise gasịrị, onyeisi nchụaja bụ Ananayas na ụfọdụ ndị okenye ndị
Juu na lọya ha aha ya bụ Tatulọs bịara. Ha dum pụtara ịgbagide Pọl ama n’ihu
onye na-achị obodo. 2 Mgbe a kpọbatara ya, Tatulọs pụtara guzo boo ya ebubo sị,
“Onye a na-asọpụrụ ka ị bụ. N’ihi gị, mmadụ niile enwela udo ogologo mgbe. Ịdị
nkọ nke uche gị emeela ka mgbanwe dị n’obodo a. 3 Anyị ji ekele nke jupụtara n’ọṅụ
na-anabata ihe ndị a nke ọma, n’ebe niile na n’ụzọ niile, gị Feliks, onye a na-asọpụrụ.
4 Achọghị m itufu oge gị. Ana m arịọ ka i were ndidi na obiọma nụrụ nkenke okwu
anyị ji bịa.
5 “Anyị chọpụtara na nwoke a bụ onye na-akpalikarị ọgbaaghara, onye ọrụ ya bụ
ịkwagide ndị Juu nọ n’ebe niile n’ụwa a ka ha nupu isi. Ọ bụkwa onyeisi nke ajọ
otu ahụ a na-akpọ Otu ndị Nazaret. 6 Ọ chọkwara imerụ ụlọnsọ anyị, ya mere anyị
ji jide ya. Ma anyị chọrọ ikpe ya ikpe dịka omenaala anyị siri dị, 7 ọchịagha Lisias,
bịara jiri ike napụ ya n’aka anyị.* 8 Ọ bụrụ na inyochaa ya, ị ga-enwe ike ịghọta ihe
niile banyere ebubo anyị na-ebo ya.”
9 Ndị Juu kwadokwara okwu ya, na ihe niile e boro ya, bụ ihe mere eme.
10 Mgbe gọvanọ feere ya aka ka o kwuo okwu, Pọl zara, “amaara m na ị bụ onye
ọkaikpe nke mba a ogologo mgbe. Nke a na-enye m obi ụtọ ịgọpụ onwe m n’ihu gị.
11 Ị pụrụ ịchọpụta na o rubeghị ụbọchị iri na abụọ kemgbe m rigooro n’ụlọnsọ ukwu
na Jerusalem ife ofufe. 12 Ha ahụghị m ka mụ na onye ọbụla na-arụrịta ụka n’ụlọnsọ,
maọbụ na o nwere ebe m kpatara ọgbaaghara n’ime ụlọ nzukọ, maọbụ ebe ọbụla
n’ime obodo. 13 Ha enwekwaghị ihe ọbụla ha ga-eji kwagide ama ha na-agba megide
m. 14 Agaghị m agọ agọ n’ihu gị na m na-ekpere Chineke nke nna anyị ha, dịka onye
na-eso Ụzọ ahụ ha na-akpọ otu. Ekwenyere m ihe niile dịka usoro nke iwu si dị, na
nke e dere n’akwụkwọ ndị amụma. 15 Ma enwere m olileanya n’ebe Chineke nọ dịka
ha onwe ha nwekwara, na mbilite n’ọnwụ nke ndị ezi omume na nke ndị ajọ omume
ga-adị. 16 N’ihi nke a, a na m agbalị inwe akọnuche dị ọcha n’ihu Chineke na n’ihu
mmadụ niile.
17 “Ugbu a, mgbe ọtụtụ afọ gasịrị, abịara m Jerusalem iwetara ndị nke m onyinye,
nakwa ịchụrụ Chineke aja. 18 Emezuola m omenaala ịdị ọcha mgbe ha hụrụ m
n’ụlọnsọ ukwu ahụ mgbe m na-eme nke a. Ọ dịkwaghị igwe mmadụ so m maọbụ
na m sonyere ọgbaaghara ọbụla. 19 Ma enwere ụfọdụ ndị Juu si Eshịa bịa, bụ ndị
kwesiri ịnọ n’ebe a ma ọ bụrụ na ha nwere ihe ọbụla megide m. 20 Maọbụ ndị nke nọ
n’ebe a ugbu a, ka ha kwuo ajọ omume ọbụla ha hụrụ n’ime m mgbe m guzoro n’ihu

* **24:7** 24:7 Ụfọdụ akwụkwọ edebanyeghị amaokwu nke asaa na ụfọdụ okwu dị n’amaokwu nke asatọ, ebe sịrị na o nyere iwu ka ndị na-ebo ya ebubo pụta n’ihu n’ihu.

ndị nzukọ ndị okenye. 21 Karịa na m kwuru naanị otu ihe mgbe m guzoro n'ihu ha
tie mkpu, 'A na-ekpe m ikpe taa n'ihi okwukwe m na mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ
anwụ.' "
22 Mgbe ahụ, Feliks onye maara ihe banyere Ụzọ ahụ nke ọma yigharịrị ikpe a. Ọ
gwara ha, "Aga m eleba anya n'ikpe gị a, mgbe Lisias onyeisi agha bịara." 23 O nyere
ọchịagha ahụ iwu ka e debe ya n'okpuru nlekọta ha. Ma ka ha nye ya ohere inwere
onwe ya ime ụfọdụ ihe, ka ha kwekwa ka ndị enyi ya bịa nyere ya aka gboo mkpa
ya.

### *Pọl n'ihu Feliks na nwunye ya*

24 Mgbe ụbọchị ole na ole gasịrị, Feliks na nwunye ya Drusila, bụ onye Juu bịara, ọ
kpọrọ Pọl ka ọ gwa ha okwu banyere inwe okwukwe n'ime Jisọs Kraịst. 25 Ma mgbe
ọ gara n'ihu na-ekwu ihe banyere ezi omume na mkpa ọ dị mmadụ ijide onwe ya
aka, ya na ihe banyere ụbọchị ikpe nke na-abịa n'oge ikpeazụ, egwu jidere Feliks. Ọ
sịrị, "I nwere ike ịpụ ugbu a. Aga m akpọkwa gị n'oge ọzọ mgbe m nwetara ohere."
26 Ọ na-atụkwa anya na Pọl ga-enye ya ego. Ya mere o jiri na-eziga ka a na-akpọ ya
site n'oge ruo n'oge ka ya na ya na-akparịta ụka.
27 Mgbe afọ abụọ gasịrị, onye a na-akpọ Pọshiọs Festọs nọchiri anya Feliks. Ma ebe
ọ chọrọ inweta ihuọma n'aka ndị Juu, Feliks hapụrụ Pọl n'ụlọ mkpọrọ.

## 25

### *Pọl n'ihu Festọs*

1 Mgbe ụbọchị atọ gasịrị site n'oge Festọs bịara na mpaghara ọchịchị ya, o sitere
Sizaria garuo Jerusalem. 2 N'ebe ahụ ka ndịisi nchụaja na ndịisi ndị Juu kọwara
ya ihe banyere Pọl. 3 Ha rịọkwara ya n'amara ọ ga-emere ha bụ ime ka Pọl bịa na
Jerusalem. N'ihi na ha agbaala izu igbu ya n'ụzọ. 4 Ma Festọs zara, "Pọl nọ dịka onye
mkpọrọ na Sizaria. Ebe ahụ ka mụ onwe m ga-alaghachi na mgbe na-adịghị anya.
5 Ya mere, ka ndịisi unu ji ikike soro m gaa, boo nwoke ahụ ebubo ma ọ bụrụ na o
nwere ihe ọjọọ o mere."
6 Ọ nọnyeere ha ihe dịka ụbọchị asatọ maọbụ ụbọchị iri, tupu ọ laghachi na Sizaria.
N'ụbọchị so ya, ọ nọdụrụ n'oche ikpe, nye ikike ka a kpọpụta Pọl. 7 Mgbe ọ bịaruru,
ndị Juu sitere Jerusalem bịa gbara ya gburugburu na-ekwu ọtụtụ ihe megide ya nke
ha na-enweghị ike ịkọwa.
8 Ma Pọl gọọrọ onwe ya, na-asị, "Ọ dịghị ihe ọjọọ ọbụla m mere megide iwu ndị
Juu maọbụ ụlọnsọ, maọbụ Siza."
9 Ma ebe Festọs na-achọ inwe ihuọma n'ebe ndị Juu nọ, ọ sịrị Pọl, "Ị chọrọ ịga
Jerusalem ka m kpee gị ikpe n'ebe ahụ?"

### *Pọl eburu ikpe gaa n'ihu Siza*

10 Ma Pọl sịrị, "Eguzo m n'ụlọikpe Siza n'onwe ya, ebe e kwesiri ka a nọdụ kpee
m ikpe. Ọ dịghị ihe ọjọọ ọbụla m mere ndị Juu, dịka ị maara nke ọma. 11 Ọ bụrụ na
ọ dị ihe m mere kwesiri ọnwụ, anaghị m arịọ ka m gbanarị ọnwụ. Ma ọ bụrụ na ọ
dịghị eziokwu dị n'ebubo ndị Juu a na-ebo m, mmadụ ọbụla agaghị e were m nyefee
n'aka ha. Ya mere, ọ bụ Siza ka m na-akpọku."
12 Ya mere, mgbe Festọs na ndị na-adụ ya ọdụ gbara izu, ọ zara, "Ị kpọkuola Siza,
ọ bụkwa Siza ka ị ga-agakwuru."

### *Festọs na eze Agripa e nwee nzukọ*

13 Mgbe ụbọchị ole na ole gasịrị, eze Agripa na Benaisi bịara Sizaria ịnabata Festọs.
14 Mgbe ha nọrọ ọtụtụ ụbọchị n'ebe ahụ, Festọs kọwara eze a ọnọdụ Pọl sị, "Ọ dị

nwoke Feliks hapụrụ n'ụlọ mkpọrọ n'ebe a. [15] Mgbe m gara Jerusalem, ndịisi nchụaja
na ndị okenye ndị Juu gwara m banyere ya. Ha rịọkwara ka m maa ya ikpe.
[16] "Ma emere m ka ha ghọta na o megidere iwu ndị Rom ịrara mmadụ ọbụla
nye tupu ekpee ya ikpe nyekwa ya ohere ịgọrọ onwe ya n'ihu ndị na-ebo ya ebubo.
[17] N'ihi nke a, mgbe ha bịara n'ebe a, atụfughị m oge ọbụla, kama n'ụbọchị nke ọzọ
ya, anọdụrụ m n'oche ikpe, nye ikike ka a kpọbata nwoke ahụ. [18] Mgbe ndị na-ebo ya
ebubo biliri, ọ dịghị otu n'ime ụrụ ala ndị m chere ha ga-akpọ aha nke ha gụpụtara
na o mere. [19] Okwu ha niile bụ ịrụ ụka banyere okpukpe ha, na banyere otu onye
ọzọ a na-akpọ Jisọs onye nwụrụ, onye Pọl na-ekwusịkwa ike na ọ dị ndụ. [20] Ọ rara
m ahụ imedo okwu dị otu a. N'ihi ya, a jụrụ m ya ma ọ ga-amasị ya ị ga n'ụlọikpe dị
na Jerusalem ka ọ nọrọ n'ebe ahụ gọrọ onwe ya. [21] Ma Pọl rịọrọ ka e debe ya n'ụlọ
mkpọrọ ruo mgbe Siza n'onwe ya ga-ekpebi ikpe ya. Ya mere, ezighachiri m ya n'ụlọ
mkpọrọ tutu ruo mgbe m jikeere izigara ya Siza."
[22] Agripa gwara Festọs, "Achọrọ m ịnụ okwu site n'ọnụ nwoke a n'onwe ya."
Ọ sịrị, "Ị ga-anụ ya echi."

### *Pọl n'ihu Agripa*

[23] Ya mere, n'echi ya, Agripa na Benaisi rutere n'ụlọ ọha na-anọ anụ ikpe n'oke
nganga. Ọtụtụ ndịisi agha na ndị a maara aha ha n'obodo a sooro ha. Festọs nyere
iwu ka a kpọbata Pọl. [24] Festọs sịrị, "Eze Agripa na ndị niile soro anyị nọrọ n'ebe a,
unu ahụla nwoke a onye ọha ndị Juu niile, ma ndị nọ n'ebe a ma ndị nọ na Jerusalem,
wetara ikpe ya n'aka m na-eti mkpu na o kwesighị ịdị ndụ ọzọ. [25] Ma achọpụtaghị
m ihe ọjọọ o mere nke kwesiri ka ọ nwụọ. Ma ebe ọ rịọrọ ka Siza lenye ikpe ya anya,
ekpebiri m iziga ya. [26] Ma enweghị m ihe ọbụla doro anya m ga-edegara Siza banyere
ya. Ya mere m jiri kpọpụta ya n'ihu unu niile, ma karịsịa n'ihu gị onwe gị eze Agripa,
ka ọ ga-abụ anyị tulesịa ihe banyere ya, ka m nwee ihe m ga-ede. [27] N'ihi na ọ bụ ihe
na-ezighị ezi na m ga-ezipụ onye mkpọrọ na-egosighị n'ebubo e boro ya."

## 26

### *Pọl agọrọ onwe ya n'ihu Agripa*

[1] Agripa gwara Pọl, "Ị nwere ike i kwuru ọnụ gị."
Mgbe ahụ, Pọl gbasara aka ya abụọ bido ikwu okwu ịgọrọ onwe ya, [2] "Ana m agụ
onwe m dịka onye nwere ihuọma, eze Agripa, inwe ohere ọma dị otu a, ịzara ọnụ m
n'ihu gị n'ihe niile metụtara ebubo ndị Juu na-ebo m. [3] Nke ka nke, amatara m na
omenaala ndị Juu na ịrụ ụka metụtara iwu ha doro gị anya. Biko ana m arịọ gị ka i
jiri ndidi gee m ntị.
[4] "Ndị Juu niile maara ibi ndụ m site na nwata m. Ha makwa site na mbụ, otu m si
bie ndụ m niile n'obodo nke m, nakwa n'ime Jerusalem. [5] Ha matara kemgbe ogologo
oge, ha ga-agbakwa ama, ma ọ bụrụ na ha chọrọ ikwu eziokwu, na site na mbụ e biri
m ndụ dịka otu onye so n'ime otu ahụ nke iwu ya dị ike karịchasịa n'ime okpukpe
ndị Juu, nke bụ otu ndị Farisii. [6] Ma ugbu a, a na-ekpe m ikpe n'ihi na enwere m
olileanya na nkwa ahụ Chineke kwere nna nna anyị ochie ha. [7] Nkwa nke ebo iri na
abụọ niile na-ele anya ịnata mgbe ha na-efe ofufe ehihie na abalị. Eze Agripa, ọ bụ
n'ihi olileanya a, gị onye a na-asọpụrụ, ka ndị Juu ji na-ebo m ebubo. [8] Gịnị mere
unu jiri na-eche na ọ rara Chineke ahụ ime ka ndị nwụrụ anwụ site n'ọnwụ bilie?
[9] "Na mbụ, anara m eche na apụrụ m imeso aha Jisọs onye Nazaret mmeso ọjọọ
niile. [10] Otu a ka m mere na Jerusalem. Ọ bụghị naanị na m natara ikike n'aka ndịisi
nchụaja jiri ya kpọchie ọtụtụ ndị nsọ n'ụlọ mkpọrọ, ewelikwara m aka elu n'oge a
na-ama ha ikpe ọnwụ. [11] Ọtụtụ mgbe ka m hụrụ na a tara ha ahụhụ n'ụlọ nzukọ
niile. Agbalịrị m ịkwagide ha ka ha kwuo arụ ma kwutọkwa okwukwe ha. N'ihi na

iwe m dị ọkụ megide ha, esogburu m ha n'obodo dị iche iche nke na-abụghị obodo
ndị Juu.

### *Pọl ekwuo maka nchegharị ya*

12 "N'ihi nke a, a gara m Damaskọs site n'ikike na nkwenye nke ndịisi nchụaja.
Anatakwara m ike n'aka ndịisi nchụaja. 13 N'oge ehihie, eze Agripa, mgbe mụ na ndị
otu m na-aga n'ụzọ, gị onye a na-asọpụrụ, ka m hụrụ ìhè nke na-acha karịa anyanwụ
ka o si n'eluigwe chaa m na ndị mụ na ha so gburugburu. 14 Anyị niile dara n'ala.
Ma anụrụ m olu gwara m okwu n'asụsụ Hibru, 'Sọl! Sọl! Gịnị mere i ji na-akpagbu
m? Ị na-emerụ onwe gị ahụ site n'ịkpọ ụkwụ na ndụdụ e ji achị ehi.'
15 "Asịrị m, 'Ị bụ onye, Onyenwe anyị?'
"Onyenwe anyị kwuru, 'Abụ m Jisọs onye ị na-akpagbu. 16 Ugbu a, bilie, kwụrụ
ọtọ! N'ihi na-emere m ka ị hụ m anya, ka m họpụta gị ka ị bụrụ onyeozi m na onye
akaebe m. Ị ga-emekwa ka ụwa niile mara ihe banyere nzute a i zutere m taa, na
ọtụtụ mgbe ọzọ m ga-ezute gị. 17 Aga m azọpụta gị site n'aka ndị nke gị na sitekwa
n'aka ndị mba ọzọ, ndị m na-eziga gị ka i jekwuru. 18 Imeghe anya ha mee ka ha si
n'ọchịchịrị lọghachi banye n'ìhè, sikwa n'ike nke ekwensu lọghachikwute Chineke.
Ka ha site n'okwukwe ha nwere n'ebe m nọ nata mgbaghara mmehie ha, ketakwa
oke ahụ dị ngọzị n'etiti ndị e doro nsọ.'
19 "Ya mere, eze Agripa, enupughị m isi n'ọhụ nke eluigwe ahụ. 20 Ebidoro m
izisa oziọma a na Damaskọs. Emekwara m otu a na Jerusalem na n'ime Judịa niile
na n'etiti ndị mba ọzọ. Ana m ekwusa mkpa ọ dị ka mmadụ niile nwee nchegharị
lọghachikwute Chineke. Ka ha gosikwa nchegharị ha site n'ezi ọrụ nke ha na-arụ.
21 Ọ bụ n'ihi nke a ka ndị Juu jiri nwụchie m n'ụlọnsọ ukwu ahụ ma chọsiekwa ụzọ
ike ịnapụ m ndụ m. 22 Ma Chineke chebere m mee ka m bụrụ onye dị ndụ taa, ịkọrọ
mmadụ niile akụkọ a, ndị ukwu na ndị nta. Ihe m na-ekwu bụkwa ihe ndị amụma
na Mosis kwuru na ọ ga-emezu, 23 na Kraịst ahụ ga-ahụ ahụhụ, bụrụkwa onye mbụ
ga-esi n'ọnwụ bilie, iwetara ndị Juu na ndị mba ọzọ ìhè."
24 Mgbe ọ na-agọpụ onwe ya, Festọs tiri mkpu, "Pọl, ị bụ onye isi mebiri! Oke
mmụta gị emebiela gị isi."
25 Ma Pọl sịrị, "Isi emebighị m, ezigbo nna anyị Festọs. Ihe m na-ekwu n'anya udo
bụ naanị eziokwu. 26 Eze n'onwe ya makwaara ihe ndị a niile, n'ihi ya ejighị m egwu
ọbụla agwa ya okwu a. Ekwenyere m na ọ dịghị ihe ọbụla n'ime ihe ndị a merenụ
nke ezonarịrị ya, n'ihi na o nweghị nke mere na nzuzo. 27 Gị eze Agripa, i kwenyeghị
na ndị amụma? Amaara m na i kweere."
28 Mgbe ahụ Agripa sịrị, "Pọl, ị na-achọ n'ime ntakịrị oge a ịkwagide m ka m bụrụ
onye kwere na Kraịst?"
29 Ma Pọl sịrị, "Ọ gaara atọ m ụtọ ma ọ bụrụ na Chineke ga-ekwe, mee ka gị na ndị
niile nọ n'ebe a bụrụ ihe mụ onwe m bụ n'ime Kraịst ma ewezuga agbụ ndị a."
30 Mgbe ahụ eze biliri ọtọ, ya na Festọs na Benaisi nwunye ya na ndị ọzọ niile ya
na ha nọ n'oche. 31 Mgbe ha na-apụ, ha kwurịtara n'onwe ha, "Nwoke a emeghị ihe
ọbụla kwesiri ọnwụ maọbụ ịga mkpọrọ."
32 Agripa gwara Festọs, "A gaara a hapụ nwoke a ma ọ bụrụ na o nyefeghị Siza ikpe
ya."

## 27

### *Pọl agaa Rom*

1 Mgbe e kpebiri na anyị ga-eso ụgbọ mmiri gaa Itali, e nyefere Pọl na ndị mkpọrọ
ọzọ n'aka onyeisi na-elekọta ndị mkpọrọ aha ya bụ Juliọs. Ọ bụ ọchịagha nke igwe
ndị agha Ọgọstọs. 2 Anyị banyere n'ụgbọ sitere Adramitiọm nke na-ejikere ịga n'ọnụ

mmiri nke dị n’akụkụ obodo Eshịa. Anyị nupuru n’oke osimiri, Arịstakọs, onye
Masidonia sitere na Tesalonaịka sokwa anyị n’ije a.

3 N’echi ya, anyị rutere Saịdọn. Juliọs nwere obiọma n’ebe Pọl nọ. Ọ hapụkwara
ya ka o jegharịara onwe ya izute ndị enyi ya. Ndị a lekwara anyị ọbịa nke ọma.
4 N’ịgakwa n’ihu na mmiri ahụ, anyị zutere ifufe mmiri nke mere na anyị gara n’azụ
ala Saiprọs. 5 Anyị gafere ọnụ mmiri obodo Silisia na Pamfilia. Anyị bịaruru Mira
n’ime obodo Lisia. 6 N’ebe ahụ ka onye ọchịagha hụrụ ụgbọ onye Alegzandria nke
na-aga Itali. O mere ka anyị banye n’ime ya. 7 Ụgbọ anyị ji, gara nwayọọ ọtụtụ
ụbọchị na o siiri anyị ike irute Snidos. Ebe ọ bụ n’oke ifufe ekweghị ka anyị gaa
n’ihu, anyị enwekwaghị ike ịga n’ụzọ anyị, kama anyị si n’azụ Kriit na ncherita ihu
Salmone gafee. 8 Anyị jikwa nwayọọ na-agba n’akụkụ ọnụ mmiri ahụ tutu ruo mgbe
anyị sitere n’oke nsogbu rute ebe a na-akpọ ọnụ mmiri ọma, nke dị nso n’obodo
Lasia.

9 Anyị tufuru oge n’ebe ahụ. Ije ụgbọ mmiri abụrụkwala nke jupụtakwara n’ihe
ize ndụ ugbu a, n’ihi na mmemme Obubu ọnụ nke ndị Juu agafeela. N’ihi nke a,
Pọl dụrụ mmadụ niile ọdụ, 10 na-asị, “Ndị nwe m, a na m ahụta na njem a ga-abụ
nke ihe egwu nke ga-eweta oke ịla n’iyi. Ọ bụghị naanị nke ụgbọ mmiri na ibu o
bu, ma metụtakwa ndụ anyị.” 11 Ma ọchịagha ahụ kwenyere n’ihe onyeisi ụgbọ na
onye nwe ụgbọ kwuru karịa nke Pọl kwuru. 12 Ma ebe ọnụ mmiri a abụghị ebe dị
mma ịnọ n’oge oyi, ndị ka n’ọnụọgụgụ họọrọ ka ụgbọ ahụ gaa n’ihu, n’olileanya na
a ga-eru Fonikisi ebe ha ga-anọdụ n’oge oyi. Nke a bụ ọnụ mmiri dị na Kriit, nke
chere ihu n’ọwụwa anyanwụ n’akụkụ ugwu na akụkụ ndịda.

### *Oke ifufe n’osimiri*

13 Mgbe ikuku dị nwayọọ bidoro ifegharị site na ndịda, ha chere na nke a bụ ohere
dịrị ha. N’ihi ya, ha kwọpụrụ ụgbọ nyara ya na-aga nso nso ọnụ mmiri Kriit. 14 Ma
mgbe na-adịghị anya, oke ifufe dị egwu nke si n’agbata ugwu na ọwụwa anyanwụ
kuru site n’agwa etiti ahụ rịdata. 15 Ndị na-anya ụgbọ ahụ gbalịsịrị ike na mbụ
ichigharị ihu ụgbọ ahụ ka ọ gaa n’ọnụ mmiri, ma ọ pụghị ime. Anyị hapụrụ ya ka o
soro ikuku. 16 N’ikpeazụ, anyị kwọọrọ ụgbọ anyị gaa n’azụ agwa etiti nta a na-akpọ
Klọda. N’ebe ahụ anyị jisiri ike kekwasị ụgbọ nta nke ụgbọ mmiri anyị na-adọkpụ
n’azụ n’elu ụgbọ mmiri ahụ. 17 Emesịa, anyị jiri ụdọ kee ụgbọ mmiri ahụ ime ka o sie
ike karịa. Ndị na-anya ụgbọ ahụ tụrụ egwu na ikuku ga-eburu ụgbọ anyị gaa n’ọnụ
mmiri na-achị ọkụ nke dị na Satis. Ha wedatara akwa e kobere n’elu, nke na-enyere
ikuku aka ibu ụgbọ mmiri. Emesịa, ha sooro ikuku mmiri ahụ na-aga. 18 Mgbe chi
bọrọ, dịka osimiri ahụ na-etonye etonye, ndị na-eso ụgbọ bidoro ịtụbasị ngwongwo
ndị dị n’ụgbọ ahụ n’ime osimiri. 19 N’ụbọchị nke atọ ha tụbakwara ngwongwo e ji
edozi ụgbọ mmiri na ọtụtụ ihe ọbụla nke aka ha ghọtara n’ime osimiri. 20 Mgbe ọtụtụ
ụbọchị gara ma ọ dịghị anyanwụ maọbụ kpakpando wapụtaranụ, ma oke ifufe ọjọọ
ahụ gara n’ihu na-amagharị, n’ikpeazụ olileanya anyị na a ga-azọpụta anyị gwụsịrị.

21 N’oge a niile, o nweghị onye ọbụla nri ọbụla bara ọnụ. Ma n’ikpeazụ. Pọl
kwụụrụ ọtọ n’etiti ha sị, “Ndị ikom ibe m, ọ bụrụ na unu gere ntị n’okwu m na mbụ,
anyị agaraghị ahapụ Kriit. Anyị gara agbanarị mbibi na ịla n’iyi nke a. 22 Ma otu
ọ dị, ana m arịọ unu, nweenụ obi ike! N’ihi na o nweghị onye ọbụla n’ime unu a
ga-atụfu ndụ ya. Ọ bụ ezie na ụgbọ a ga-emikpu. 23 N’ihi na n’abalị gara aga, mmụọ
ozi Chineke Onyenwe m, na onye m na-efekwa bịakwutere m, 24 ọ sịrị, ‘Atụla egwu
Pọl, n’ihi na ị ghaghị iguzo n’ihu Siza. Nke ọzọkwa, Chineke emeela amara nye gị
ndụ ndị a niile gị na ha so n’ụgbọ eme njem.’ 25 Ya mere, ndị ikom nweenụ obi ike!
N’ihi na enwere m ntụkwasị obi na Chineke ga-eme dị ka o siri gwa m. 26 Ma otu ọ
dị, a ga-eburu ụgbọ mmiri anyị buba ya n’otu agwa etiti.”

*Ụgbọ imikpu*
[27] Ihe dịka n’etiti abalị n’ụbọchị nke iri na anọ ebili mmiri a, mgbe anyị na-erugharị
n’osimiri a na-akpọ Adratik, ndị na-anya ụgbọ chere na ala dị nso. [28] Ha tụnyere ụdọ
e kenyere igwe n’ọnụ ya n’ime osimiri chọpụta na omimi osimiri ahụ dị narị nzọ
ụkwụ na iri abụọ n’ebe ahụ ha nọ. Ha gakwara n’ihu tụọkwa ụdọ ahụ ọzọ chọpụta
na omimi osimiri ahụ dị iri nzọ ụkwụ itoolu. [29] Ma egwu juru ha obi n’ihi na ha
amaghị ma ha ga-ezute nkume n’akụkụ ọnụ mmiri ahụ. Ha tụpụtara arịlịka anọ e
ji ejide ụgbọ site n’azụ ụgbọ ahụ ma na-arịọ chi ha maka chi ọbụbọ. [30] Mgbe ndị
na-eso ụgbọ ahụ kpebiri ịhapụ ya. Ha wedatara ụgbọ epeepe e dobere maka ihe
mberede, mee dịka ha na-aga itinye arịlịka n’ọnụ ụgbọ mmiri ahụ. [31] Ma Pọl gwara
ndị agha na ọchịagha ha okwu, “Ọ bụrụ na ndị a anọgideghị n’ime ụgbọ a, agaghị
azọpụta unu.” [32] N’ihi nke a, ndị agha ahụ gbubiri ụdọ e jiri kee ụgbọ epeepe ahụ
hapụ ụgbọ epeepe ahụ ka ọ daba n’ime osimiri.
[33] Mgbe chi bidoro ịbọ, Pọl rịọrọ mmadụ niile ka ha rie nri, na-asị, “Taa mere ya
ụbọchị iri na anọ unu nọ na nche, nọgidekwa n’ibu ọnụ, n’erighị ihe ọbụla. [34] N’ihi
ọdịmma nke ndụ unu, ana m arịọ unu ka unu rie ihe. N’ihi na o nweghị onye ọbụla
n’ime unu otu agịrị isi ya ga-ala n’iyi.” [35] Mgbe o kwuchara nke a, o weere achịcha
nye Chineke ekele n’ihu ha niile, nyawaa ya, malitekwa iri ya. [36] Otu mgbe ahụ, obi
ụtọ batara mmadụ niile n’obi, ha bidokwara iri nri. [37] Anyị niile nọ n’ụgbọ ahụ dị
narị mmadụ abụọ na iri asaa na isii. [38] Mgbe anyị richara nri, ha buuru akpa ọka
niile dị n’ụgbọ ahụ tụba ha n’ime osimiri ime ka ụgbọ ahụ gbaa mfe.

*Omimi nke ụgbọ mmiri ahụ*
[39] Mgbe chi bọrọ, ha enwekwaghị ike ịghọta akụkụ mmiri nke ha nọ n’ime ya. Ma
ha hụrụ obosara ala nta nke nwere ọnụ mmiri. Ha gbara izu ịchọpụta ma ọ ga-ekwe
mee ka ụgbọ mmiri ahụ site n’ebe ahụ gafee. [40] Ha chabisiri arịlịka niile ji ụgbọ ahụ,
hapụ ha n’ime osimiri. Otu aka ahụkwa, ha tọpụrụ ụdọ ji ụmara e ji anyagharị ụgbọ.
Mgbe ahụ, ha weliri akwa ifufe nke ọnụ ụgbọ nye ifufe, mekwa ka ụgbọ mmiri chee
ihu n’elu ala. [41] Ma ụgbọ mmiri ahụ gara maa isi na mkpumkpu aja mmiri, mikpuo
n’aja. Ọnụ ụgbọ ahụ mikpuru nke ukwuu mee ka isi ụgbọ ahụ laa elu, nke a nyere
ebili mmiri a ohere iji ike tiwasịa azụ ụgbọ ahụ.
[42] Ndị agha zubere igbu ndị mkpọrọ niile, ka onye ọbụla ghara igwuru mmiri site
ya gbafuo.* [43] Ma onye ọchịagha ahụ na-ezube ịzọpụta ndụ Pọl, n’ihi ya, o gbochiri
ha n’izuzu ha. Mgbe ahụ o nyere iwu ka ndị niile maara igwu mmiri buru ụzọ si
n’ụgbọ ahụ wụba n’ime mmiri, gwuru mmiri gaa n’elu ala. [44] Ma ndị fọdụrụ ga-eru
n’elu ala site n’ịghọnye aka na obodobo osisi maọbụ n’ihe ndị ọzọ dị iche iche si
n’ahụ ụgbọ ahụ dapụta. N’ụzọ dị otu ka mmadụ niile ji bụrụ ndị rutere n’elu ala
n’udo.

# 28

*Ọnụ mmiri obodo Malta*
[1] Mgbe a pụtara n’ọnụ mmiri ahụ n’udo, anyị chọpụtara na aha agwa etiti ahụ
bụ Malta. [2] Ndị obodo ahụ gosiri anyị obiọma n’ụzọ pụrụ iche. Ha kwanyere anyị
ọkụ ma nabatakwa anyị n’ihi na mmiri nọ na-ezo, oyi na-atụkwa. [3] N’oge Pọl na-
achịkọta nkụ itinye n’ọkụ a, otu agwọ ajụala sitere n’ime nkụ na-enwu ọkụ mapụta
n’ihi okpomọkụ tụhịkọ onwe ya n’aka ya. [4] Mgbe ndị obodo ahụ hụrụ agwọ ahụ ka
ọ tụhịkọtara onwe ya n’aka ya, ha gwarịtara onwe ha, “n’ezie a, nwoke a bụ ogbu
mmadụ, a naghị eji ọkụ enyo ya. Ọ bụ ezie na azọpụtara ya site oke mmiri, ma ikpe
ziri ezi ekweghị ka ọ dị ndụ.” [5] Ma Pọl fepụrụ agwọ ahụ n’aka ya, mee ka ọ daba

* **27:42** 27:42 Ọ bụrụ na ndị mkpọrọ a gbafuo, a na-egbu ndị agha niile ọ bụ ọrụ ha iledo ha.

n’ọkụ, ọ dịghịkwa ihe mere ya. 6 Ha na-ele anya ma aka ya ọ ga-aza, maọbụ na ọ
ga-ada nwụọ. Ma mgbe ha chegidere hụ na o nweghị ihe mere ya, ha gbanwere obi
ha bido na-ekwu, na ọ bụ chi.
7 Na nso ọnụ mmiri a ebe anyị kwụsịrị, otu ubi dị ya. Ọ bụ ubi Pobilios otu nwoke
onyeisi na-achị agwa etiti ahụ. Ọ nabatara anyị nke ọma, lee anyị ọbịa ụbọchị atọ.
8 N’oge ahụ, nna Pobilios nwere ahụ ọkụ na afọ ọsịsa, Pọl banyere n’ime obodo gaa
leta ya, kpeere ya ekpere, bikwasịkwa ya aka. Ahụ dịkwara ya mma. 9 Mgbe nke a
mechara, ndị niile nwere nrịa nrịa n’agwa etiti ahụ bịakwara, a gwọkwara ha. 10 Ha
wetaara anyị ọtụtụ ihe onyinye. Mgbe oge ịnyapụ ụgbọ anyị ruru, ha nyere anyị
ọtụtụ ihe dị anyị mkpa nke pụrụ idu anyị n’ije ahụ.

### *Pọl erute Rom*

11 Anyị nọrọ ihe dịka ọnwa atọ n’oge oyi, n’agwa etiti ahụ tutu anyị anyalie ụgbọ.
Ọ bụ ụgbọ ndị Alegzandria nke bu ihe a tụrụ atụ a na-akpọ ejima, bụ chi Kastọ na
Polụkus. 12 Anyị bịaruru obodo Sirakọs ebe anyị nọrọ ụbọchị atọ. 13 Site n’ebe ahụ,
anyị gara gburugburu tutu rute Rejiọm. Mgbe otu ụbọchị gafere, ikuku bidoro ife
site na ndịda. N’ụbọchị nke abụọ ya, anyị rutere Pọteọlị. 14 N’ebe a anyị chọpụtara
ndị kwere ekwe ndị rịọrọ ka anyị nọnyere ha ụbọchị asaa. Site n’ebe a, anyị rutere
Rom. 15 Mgbe ụmụnna anyị nọ n’ebe ahụ nụrụ na anyị na-abịa. Ha pụtara zute anyị
n’ụzọ Apiọs na n’ụlọ ndị Ije atọ. Mgbe Pọl hụrụ ha, o kelere Chineke ma bụrụ onye
a gbara ume. 16 Mgbe anyị bịaruru Rom, e nyere Pọl ohere ibiri onwe ya dịka o si
chọọ n’ebe masịrị ya. Ma otu onye agha na-eche ya nche.

### *Pọl abata Rom*

17 Mgbe ụbọchị atọ gasịrị, ọ kpọrọ ndịisi ndị Juu. Mgbe ha zukọrọ, ọ gwara ha,
“Ụmụnna m, ọ dịghị ihe ọjọọ ọbụla m mere megide ndị nke anyị, maọbụ megide
omenaala nna nna anyị ha, ha jidere m na Jerusalem were m nyefee m n’aka ndị
Rom. 18 Ndị ọchịchị Rom lenyere anya n’ikpe m chọọ ịhapụ m ka m laa n’ihi na ha
achọtaghị ihe kwesiri ịma m ikpe ọnwụ dịka ndị anyị chọrọ. 19 Ma mgbe ndị Juu
jụrụ, ahụrụ m na ọ dị mkpa ibutere Siza ikpe m. Ma o nweghị ihe ọjọọ m bu n’uche
megide ndị obodo m. 20 N’ihi nke a, ka m jiri rịọọ ka mụ na unu hụ ma kwurịtakwa
okwu. Ọ bụ n’ihi olileanya nke Izrel ka e ji kee m n’agbụ igwe a.”
21 Ha sịrị, “Anyị anataghị akwụkwọ ozi ọbụla site na Judịa banyere gị. Ọ dịghịkwa
ụmụnna anyị ọbụla nke si ebe ahụ bịa nke kọrọ maọbụ kwuo okwu ọjọọ ọbụla
banyere gị. 22 Otu ọ dị, anyị ga-achọ ịnụta ihe i chere, n’ihi na anyị maara na a
na-ekwujọ otu a n’ebe niile.”
23 Ha yiri agba mgbe ha na ya ga-ezukọta n’ụbọchị ọzọ. Ọtụtụ mmadụ karịrị bịara
n’ụlọ ebe ọ na-anọ. Ọ gbara ama banyere alaeze Chineke site n’akwụkwọ iwu Mosis
na nke ndị amụma, ọ gbalịrị ime ka ha kwenye n’ihe banyere Jisọs. O bidoro izi ha
ihe site n’ụtụtụ ruo anyasị. 24 Ụfọdụ ka e mere ka ha kweere, ma ụfọdụ mechiri ntị
ha na obi ha. 25 Ha nwe nghọtahie n’etiti onwe ha ma malite ịla mgbe Pọl kwusiri
okwu nke ikpeazụ a, “Mmụọ Nsọ Chineke kwuru eziokwu mgbe o sitere n’ọnụ Aịzaya
onye amụma kwuo okwu nye nna nna anyị ha,
26 “ ‘Jekwuru ndị a gwa ha okwu,
“Unu ga na-anụ, nụkwa, ma unu agaghị aghọta ihe ọbụla,
unu ga na-ele anya, hụkwa, ma unu agaghị ahụ ihe ọbụla.”
27 N’ihi na obi ndị a amaala abụba, dịkwa arọ;
ha adịghị ejikwa ntị ha anụ ihe,
ha mechikwara anya ha ka ha ghara ịhụ ụzọ.
Ma ọ bụghị otu a, ha nwere ike iji anya ha hụ ụzọ,
jirikwa ntị ha nụ ihe

sitekwa n'obi ha nwe nghọta
ma chigharịa bịakwute m, ka m gwọọ ha.'*
28 "Ya mere, a chọrọ m ka unu ghọta na nzọpụta a nke si n'aka Chineke bịa, dịkwa
nye ndị mba ọzọ, ha ga-egekwa ntị." 29 Mgbe o kwusiri nke a, ndị Juu ahụ lara
na-arụrịta ụka nke ukwu n'etiti onwe ha.†
30 O biri obi nke onwe ya afọ abụọ n'ụlọ ọ na-akwụ ụgwọ ya. Ọ na-anabatakwa
ndị niile bịara ileta ya, 31 o ji mkwuwa okwu na-ekwusa ihe banyere alaeze Chineke
na-akụzikwa ihe banyere Onyenwe anyị Jisọs Kraịst. Ọ dịkwaghị onye ọbụla gbalịrị
igbochi ya.

* **28:27** 28:27 Aịz 6:9,10 † **28:29** 28:29 Akwụkwọ ụfọdụ na-edebanye amaokwu a ma ụfọdụ adịghị eme nke a.

# Ndị Rom

1 Pọl, odibo Kraịst Jisọs, onye Chineke kpọrọ ka ọ bụrụ onyeozi ya na onye o
kewapụtara ka o zisaa oziọma ya. 2 Oziọma a bụ nke ahụ Chineke kwere na nkwa
n'oge gara aga site n'ọnụ ndị amụma ya nke e dere ihe banyere ya n'akwụkwọ nsọ.
3 Oziọma a metụtara Ọkpara ya, onye bụ nwa Devid site n'ọmụmụ nke anụ ahụ.
4 Onye esitere na Mmụọ nke ịdị nsọ họpụta ị bụ Ọkpara Chineke, site n'ike nke
mbilite n'ọnwụ, bụ Kraịst Jisọs, Onyenwe anyị. 5 Onye anyị sitere n'aka ya nata
amara na ọrụ ị bụ onyeozi, ime ka ndị mba ọzọ nwee nrube isi nke okwukwe n'etiti
ha n'ihi aha ya. 6 Tinyere unu onwe unu ndị ahụ a kpọrọ ka ha bụrụ ndị nke Jisọs
Kraịst.

7 Ya bụ, unu ndị Chineke hụrụ n'anya bi na Rom, ndị ọ kpọrọ ka ha bụrụ ndị nsọ:

Ka amara na udo nke sitere na Chineke Nna anyị, na Onyenwe anyị Jisọs Kraịst
dịrị unu.

*Mmasị Pọl ịga Rom*

8 Na mbụ, ana m ekele Chineke ekele n'ihi unu niile, site n'aha Jisọs Kraịst. N'ihi
na a na-ekwusa ihe banyere okwukwe unu n'ụwa niile. 9 Chineke, onye m na-ejere
ozi, n'ime mmụọ site na ikwusa oziọma nke Ọkpara ya, bụ onye akaebe na m na-
echeta unu mgbe niile n'ekpere m. 10 N'ekpere m oge niile, a na m arịọ ka ọ bụrụ
ihe ga-ekwe mee na site n'ike Chineke, aga m enwe ohere ịbịa leta unu.
11 Ọ na-agụ m agụụ nke ukwuu ịbịa hụ unu anya, n'ihi na achọrọ m ka unu keta
oke n'onyinye Mmụọ Nsọ nke Chineke nyere m, nke ga-enyere unu aka iguzosi ike
n'okwukwe. 12 Ọ bụkwaghị naanị nke a, kama achọrọ m ka anyị gbarịtaa onwe anyị
ume site n'okwukwe anyị. 13 Ụmụnna m, achọrọ m ime ka unu mata na atụọla m
atụmatụ ịbịa leta unu ọtụtụ mgbe (ma tutu ruo ugbu a e gbochiri m ịbịa), ka m nwee
ike nweta mkpụrụ n'etiti unu, dịka m nwere n'etiti ndị mba ọzọ.
14 N'ihi na abụ m onye ji ụgwọ nye ndị Griik na ndị mba ọzọ, nyekwa ndị maara
ihe na ndị nzuzu. 15 Ya mere m ji dị njikere ikwusa oziọma nyekwa unu bụ ndị bi na
Rom.
16 N'ihi na ihere oziọma ahụ anaghị eme m, n'ihi na ọ bụ ike Chineke na-ewetara
onye ọbụla kwere na ya nzọpụta, nye onye Juu na mbụ nakwa nye onye Griik.
17 N'ihi na ọ bụ n'oziọma ka e kpughere ezi omume Chineke, ezi omume nke na-esite
n'okwukwe ruo okwukwe. Dịka e siri dee ya, "Onye ezi omume ga-esite n'okwukwe
dị ndụ."*

*Iwe Chineke megide mmehie nke mmadụ*

18 N'ihi na e sitela n'eluigwe kpughe ọnụma Chineke megide mmehie na ajọ omume
niile nke ndị na-emebi iwu, ndị na-esite n'ajọ omume ha na-eguzogide eziokwu ahụ.
19 N'ihi na ndị a maara ihe ha kwesiri ịmata banyere Chineke. Ha maara ya n'ihi
na Chineke n'onwe ya emeela ka o doo ha anya. 20 N'ihi na site n'oge Chineke kere
ụwa na ihe niile dị n'ime ya, ụdịdị ya nke a na-apụghị ịhụ anya na ike nke ebighị
ebi ya na ụdịdị ịdị nsọ ya ka e mere ka ọ pụta ìhè nye ụmụ mmadụ. Ụmụ mmadụ
na-aghọta ihe ndị a site n'ihe ndị e kere eke. N'ihi nke a ụmụ mmadụ enwekwaghị
ngọpụ.

* **1:17** 1:17 Hab 2:4

21 Ọ bụ eziokwu na ha maara Chineke, ma ha anaghị asọpụrụ ya, ha anakwaghị
enye ya ekele dịka Chineke. Echiche uche ha bụ ihe efu, nzuzu ha mere ka obi ha
gbaa ọchịchịrị. 22 Mgbe ha na-eche na ha bụ ndị maara ihe, ha amataghị na ha bụ ndị
nzuzu. 23 Kama ife Chineke na-adịghị anwụ anwụ ofufe, ha weere otuto ha kwesiri
inye ya nye ihe ndị ahụ ha jiri aka ha kpụọ. Ihe ndị a yiri mmadụ na-anwụ anwụ,
na nnụnụ, na ụmụ anụmanụ, na ihe na-akpụ akpụ n'ala.
24 N'ihi ya, Chineke hapụrụ ha ka ha mee ihe ọjọọ ndị ahụ na-agụ obi ha agụụ nye
adịghị ọcha nke ịkwa iko, ha jikwa ahụ ha emerịta mpu n'etiti onwe ha. 25 Ha were
okwu ụgha dochie n'ọnọdụ eziokwu banyere Chineke. Ha na-asọpụrụ, na-efekwa
ihe e kere eke, ma hapụ Onye okike, onye a na-eto ruo ebighị ebi. Amen.
26 Ọ bụ nke a mere Chineke jiri nyefee ha n'aka agụụ anụ ahụ nke na-eme ihere.
N'ihi ya, ọ bụladị ndị inyom na ndị inyom ibe ha nọgidere na-enwe mmekọrịta n'ụzọ
na-ezighị ezi. 27 Ọzọkwa, kama ha na ndị inyom inwe mmekọrịta; ndị ikom ha họọrọ
ka ha na ndị ikom ibe ha na-enwe ụdị mmekọrịta nke ha na ndị inyom kwesiri inwe.
Nwoke na-edinakwuru nwoke ibe ya. N'ụzọ dị otu a, ha natakwara ntaramahụhụ
kwesiri ha n'ihi ihe ọjọọ ndị a ha na-eme.
28 Ya mere, ebe ha kpachapụrụ anya jụ ịmata onye Chineke bụ, Chineke nyere ha
akọnuche ndị nzuzu, nke mere ka ha na-eme ihe ọjọọ niile nke ajọ echiche obi ha
chepụtara. 29 Ha jupụtara n'ajọ omume na mmehie niile, anya ukwu na aghụghọ.
Ha jupụtakwara n'ekworo, na igbu mmadụ, na esemokwu, na uche gbagọrọ agbagọ
na ịkpọ asị. Ha bụ ndị na-ekwu okwu azụ, 30 na ndị nkwutọ na ndị kpọrọ Chineke
asị, na ndị na-akparị mmadụ na ndị mpako na ndị na-anya isi. Ha na-atụpụta ụzọ
ọhụrụ ime ihe ọjọọ, ha adịghị asọpụrụ ndị mụrụ ha. 31 Ha bụkwa ndị na-enweghị
nghọta, ndị na-enweghị okwukwe, ndị obi ọjọọ na ndị na-enweghị obi ebere. 32 Ha
maa na Chineke nyere iwu dị ike na ndị na-ebi ndụ dị otu a kwesiri ọnwụ, ma ha
gara n'ihu na-eme ihe ndị a, ma na-akwalịkwa mmụọ ndị ọzọ ka ha soro na-eme ha.

# 2

*Ikpe ziri ezi nke Chineke*

1 N'ihi ya, ị nweghị ngọpụ, onye ọbụla ị bụ, mgbe ị na-ekpe ndị ọzọ ikpe. N'ihi
na mgbe ị mara onye ọzọ ikpe, ọ bụ onwe gị ka ị na-ama ikpe maka na gị onwe gị
na-emekwa ụdị ihe ndị ahụ. 2 Ma anyị maara na Chineke na-ekpe ndị na-eme ihe
ọjọọ dị otu a ikpe n'ụzọ ziri ezi. 3 Gị bụ mmadụ, gịnị mere i ji na-ama ndị na-eme
ihe dị otu a ikpe mgbe gị onwe gị na-eme otu ihe ahụ. I chere na ị ga-agbanarị ikpe
Chineke? 4 Ka ị na-eleda obiọma Chineke, na nnagide ọ na-anagide ndụ ọjọọ gị, na
ogologo ntachiobi ya anya? Ị maghị na obiọma Chineke nwere n'ebe ị nọ kwesiri ime
ka i site na mmehie gị chegharịa?
5 Ma n'ihi isiike gị na obi gị kpọrọ nkụ nke enweghị nchegharị, ị na-akpakọtara
onwe gị ọnụma nke Chineke n'ụbọchị oke iwe ya, mgbe a ga-ekpughe ikpe ya ziri ezi.
6 Ọ ga-akwụghachi onye ọbụla dịka ọrụ ya siri dị.* 7 Chineke ga-enye ndị niile sitere
na ntachiobi na ezi ọrụ na-achọ otuto na nsọpụrụ na ndụ ahụ na-adịgide adịgide
bụ ndụ ebighị ebi. 8 Ma ndị niile na-akpa iche iche, ndị jụkwara isoro eziokwu ahụ,
ndị na-anọgidekwa na-eme ihe ọjọọ, ka a ga-ata ahụhụ, gosi ha iwe ọkụ na ọnụma.
9 Nsogbu na iru ụjụ ga-abịakwasị ndị niile na-eme ihe ọjọọ, mbụ, ọ ga-adịrị ndị Juu,
emechaa, ọ ga-adịkwara ndị mba ọzọ. 10 Ma otuto na nsọpụrụ na udo ga-abụ nke
onye ọbụla na-eme ezi ihe, malite n'onye Juu ruokwa na ndị mba ọzọ. 11 N'ihi na
Chineke anaghị ele mmadụ anya n'ihu.

* **2:6** 2:6 Abụ 62:12; Ilu 24:12

12 Ndị niile mehiere n'ọnọdụ enweghị iwu ga-ala n'iyi n'ọnọdụ enweghị iwu. Ma
ndị niile mehiere megide iwu ahụ ha mara ihe banyere ya ka a ga-ama ikpe dịka
iwu siri kwuo. 13 N'ihi na ọ bụghị ndị ahụ na-anụ mgbe a na-agụpụta akwụkwọ iwu
ka a na-agụ dịka ndị ezi omume n'ihu Chineke, kama ọ bụ ndị ahụ niile na-eme ihe
iwu kwuru ka a ga-agụ ka ndị ezi omume. 14 N'ezie, mgbe ndị mba ọzọ bụ ndị na-
enweghị iwu sitere n'obi ha mee ihe iwu kwuru, o gosiri na ha bụ iwu nye onwe ha, ọ
bụ ezie na ha enweghị iwu ahụ e dere ede. 15 Ha na-egosipụta na edeela ihe ndị ahụ
iwu kwuru n'obi ha. Akọnuche ha na-egosikwa na nke a bụ eziokwu, ebe ọ bụ na
akọnuche ha na-ama ha ikpe mgbe ụfọdụ, ma na-agọpụrụ ha mgbe ụfọdụ. 16 Dịka
oziọma ahụ m na-ekwusa si kwuo, Chineke ga-ekpe ndụ nzuzo niile ụmụ mmadụ
na-ebi ikpe, site na Kraịst Jisọs.

*Ndị Juu na iwu e nyere ha*

17 Ma ugbu a, gị onye na-akpọ onwe gị onye Juu, onye tụkwasịrị obi gị n'iwu ahụ,
onye na-anyakwa isi na ị maara Chineke, 18 ọ bụrụ na ị mara uche ya ma kwenyekwa
n'ihe nke ka mma n'ihi na e ziri gị ihe site n'iwu; 19 ọ bụrụ na o doro gị anya na ị
bụ onyendu nye ndị ìsì, bụrụkwa ìhè nye ndị nọ n'ọchịchịrị, 20 ị na-agụkwa onwe gị
dịka onye nkuzi nke ndị na-amaghị ihe, na onye nkuzi ụmụntakịrị, n'ihi na ị maara
iwu nke ọma, jupụtakwa n'amamihe na eziokwu. 21 Gị onye na-akụziri mmadụ ibe gị
ihe, ị na-akụzikwara onwe gị? Gị onye na-ekwusa ka mmadụ ezula ohi, ị na-ezu ohi?
22 Gị onye na-asị mmadụ akwala iko, ị na-akwa iko? Gị onye na-akpọ arụsị ihe arụ, ị
na-ezuru ihe dị n'ụlọ arụsị n'ohi? 23 Gị onye na-anya isi na ị maara iwu, ị na-emenye
Chineke ihere site n'imebi iwu ahụ? 24 Dịka esi dee ya, "Ndị mba ọzọ na-ekwulu aha
Chineke n'ihi unu."†
25 Obibi ugwu bara uru n'ezie ma ọ bụrụ na ị na-edebe iwu, ma ọ bụrụ na ị na-
emebi iwu, obibi ugwu gị dịka mgbe i bighị ugwu. 26 Ọ bụrụ na ndị e bighị ugwu
na-edebe ihe iwu kwuru, ọ bụ na a gaghị agụ ebighị ugwu ha dịka obibi ugwu? 27 Ya
bụ, ndị ahụ a na-ebighị ugwu n'anụ ahụ ma na-edebe iwu ga-ama unu ikpe, bụ ndị
nwere iwu ahụ e dere n'akwụkwọ na ndị e bikwara ugwu ma na-emebi iwu.
28 Ị bụ ezigbo onye Juu abụghị nke elu ahụ. Ezigbo ibi ugwu abụkwaghị ihe a
na-ahụ n'anụ ahụ. 29 Kama ezigbo onye Juu bụ onye ọbụla nke bụ ya n'ime mmụọ.
Ezigbo obibi ugwu bụkwa nke ime obi, nke mmụọ, ọ bụghị nke e dere ede. Otuto ya
esiteghị n'aka mmadụ kama o sitere n'aka Chineke.

# 3

*Ikwesi ntụkwasị obi nke Chineke*

1 Ọ dị uru pụrụ iche mmadụ nwere n'ihi na ọ bụ onye Juu? Gịnị bụkwa uru ahụ
dị ukwuu nke dị na-ebiri mmadụ ugwu? 2 Ọ bara uru n'ụzọ niile. Nke mbụ, ọ bụ ndị
Juu ka e weere okwu Chineke nyefee n'aka.
3 Gịnị ga-emezi ma ọ bụrụ na ụfọdụ n'ime ha ekwesighị ntụkwasị obi? Chineke, ọ
ga-eji n'ihi ekwesighị ntụkwasị obi ha ghara ikwesi ntụkwasị obi? 4 Ọ pụghị ịdị otu
a! Kama ka ọ bụrụ ihe pụtara ihe na Chineke bụ onye eziokwu, ma mmadụ niile bụ
ndị okwu ụgha, dịka e dere ya,

"Ka e nwe ike gosipụta na ị na-ekwu eziokwu mgbe ọbụla i kwuru okwu,
na ekpegbukwa mgbe i na-ekpe ikpe."*

5 Ma ọ bụrụ na ajọ omume anyị na-eme ka ezi omume Chineke pụta ìhè, gịnị ka
anyị ga-ekwu? Anyị ga-asị na Chineke adịghị eme ihe ziri ezi ma ọ bụrụ na ọ taa
anyị ahụhụ n'ihi ajọ omume anyị? (Ana m ekwu okwu a dị ka ndị mmadụ.) 6 N'ezie,
ọ bụghị otu a, ọ bụrụ na ọ bụ otu a, oleekwanụ otu Chineke ga-esi kpee ụwa ikpe?

† **2:24** 2:24 Aịz 52:5; Izk 36:22 * **3:4** 3:4 Abụ 51:4

7 Otu onye nwere ike ị sị, “na ọ bụrụ na a na-esite n’okwu ụgha m, mee ka eziokwu
nke Chineke pụta ìhè karịa, na-ewetara Chineke otuto, gịnị mere e ji ama m ikpe dịka
onye mmehie?” 8 Ọ pụtara na anyị ga-asị, “ka anyị na-eme ihe ọjọọ ka ezi ihe si na
ya pụta”? Ụfọdụ ndị mmadụ ji nkwutọ na-ebo m ebubo na m na-akụzi ihe dị otu a,
ikpe a mara ha kwesiri ekwesi.

*Mmadụ niile emehiela*

9 Gịnị kwanụ? Anyị ọ ka ha mma? Mba, ma e meela ya rịị ka ọ pụta ìhè na mmadụ
niile nọ n’okpuru mmehie, ma ndị Juu ma ndị mba ọzọ. 10 Dịka e dere ya,
“Ọ dịghị onye ọbụla bụ onye ezi omume, ọ dịghị ọ bụladị otu onye.
11 Ọ dịghị onye ọbụla na-aghọta,
ọ dịkwaghị onye ọ na-agụ ịchọ Chineke.
12 Mmadụ niile ewezugala onwe ha,
ha niile, ọ dịghị onye bara uru n’ime ha.
Ọ dịghị onye na-eme ihe ọma,
a pụghị ịchọta ọ bụladị otu onye.†
13 Akpịrị ha bụ ili ghere oghe,
ha ji ire ha na-aghọ aghụghọ.‡
Elo ajụala dị n’egbugbere ọnụ ha.§
14 Ọnụ ha jupụtara n’okwu na-akụ ilu na ọbụbụ ọnụ.*
15 Ụkwụ ha na-eme ọsịịsọ ịkwafu ọbara.
16 Mbibi na nhụju anya dị n’ụzọ ha niile.
17 Ha amaghị ihe bụ ụzọ udo.†
18 Ha amatabeghị ihe ịtụ egwu Chineke pụtara.”‡
19 Ugbu a, anyị maara na ihe ọbụla iwu kwuru, ọ bụ ndị nọ n’okpuru iwu ka ọ dịịrị,
ka esite otu a kpuchite ọnụ niile n’otu n’otu. Ma meekwa ka ụwa niile mata na ha bụ
ndị ikpe mara n’ebe Chineke nọ. 20 N’ihi na o nweghị onye ọbụla a pụrụ ịgụ n’onye
ezi omume n’ihu Chineke maka na ọ na-edebe iwu. Kama, ọ bụ site n’iwu ka anyị ji
mata ihe banyere mmehie.

*Ezi omume site n’okwukwe*

21 Ma ugbu a, emeela ka ezi omume Chineke pụta ìhè, site n’iguzo iche n’ebe iwu
dị, bụ nke iwu na ndị amụma gbakwara ama ya. 22 Ezi omume a na-esite n’ebe
Chineke nọ abịa, site n’okwukwe n’ime Jisọs Kraịst nye ndị niile kweere. O nweghị
ihe ịdị iche ọbụla dị na ya. 23 N’ihi na mmadụ niile emehiela ha ekwesikwaghị otuto
Chineke. 24 Ma ugbu a, agụọla ha na ndị ezi omume site n’amara ya, site na mgbapụta
nke si n’aka Kraịst Jisọs. 25 Onye Chineke họpụtara ka o were ndụ ya chụọ aja
ikpuchi mmehie, site n’iwufu ọbara ya maka mgbaghara mmehie, nke a ga-anata
site n’okwukwe. N’ụzọ dị otu a, ọ na-egosipụta ezi omume ya, maka oge gara aga,
n’ihi nnagide ya, o jiri ndidi leghara mmehie ụmụ mmadụ anya. 26 Ma n’oge taa,
site n’igosi na ya onwe ya bụ onye ezi omume, na onye a na-agụnye dịka onye ezi
omume bụ onye nke kweere na Jisọs.

*Ihe okwukwe na-arụpụta*

27 Mgbe o si otu a dịrị, olee ebe ịnya isi anyị dịkwa? Ajụla ịnabata ya. Ọ bụ site iwu
dị aṅa? Ọ bụ nke ọrụ? Mba, kama ọ bụ site n’okwukwe anyị nwere n’ime Kraịst. 28 Ya
mere, anyị na-agụnye mmadụ n’onye ezi omume n’ihi okwukwe o nwere, ọ bụghị
n’ihi na o mere ihe iwu kwuru. 29 Chineke ọ bụ naanị nke ndị Juu? Ọ bụkwaghị nke
ndị mba ọzọ? N’ezie, ọ bụkwa nke ndị mba ọzọ. 30 N’ihi na Chineke dị naanị otu, ọ

† **3:12** 3:12 Abụ 14:1-3; 53:1-3; Ekl 7:20 ‡ **3:13** 3:13 Abụ 5:9 § **3:13** 3:13 Abụ 140:3 * **3:14** 3:14 Abụ 10:7
† **3:17** 3:17 Aịz 59:7,8 ‡ **3:18** 3:18 Abụ 36:1

bụ site n'okwukwe ka ọ ga-anabata ndị ahụ ebiri ugwu, sitekwa n'otu okwukwe ahụ
gụọ ndị a na-ebighị ugwu ka ndị ezi omume. 31 Ọ bụrụ na ọ dị otu a, anyị na-esite
n'okwukwe anyị mee ka iwu ghara ịdị ire? Mba! Kama anyị na-enye iwu ọnọdụ
kwesiri ya.

# 4

*Chineke nabatara Ebraham site n'okwukwe ya*

1 Gịnị ka anyị nwere ikwu banyere Ebraham, nna nna anyị na o nwetara ihe niile
site n'anụ ahụ? 2 A sị na a gụrụ Ebraham dịka onye ezi omume site n'ọrụ aka ya, ọ
gaara enwe ihe ọ ga-eji anya isi, ma na ọ bụghị n'ihu Chineke. 3 Ma gịnị ka akwụkwọ
nsọ kwuru? "Ebraham kweere na Chineke, a gụrụ nke a nye ya dị ka ezi omume."*
4 Mgbe mmadụ rụrụ ọrụ, ụgwọ ọrụ a kwụrụ ya abụghị onyinye, kama ọ bụ ihe ruru
ya n'ihi ọrụ ọ rụrụ. 5 Ma nye onye na-enweghị ọrụ ma tinye okwukwe ya na onye
ahụ na-agụnye ndị ajọọ omume dịka ndị ezi omume, a ga-eji okwukwe ya gụnyere ya
dịka ezi omume. 6 Devid n'onwe ya kwukwara banyere ọṅụ dịịrị onye ọbụla Chineke
gụrụ n'onye ezi omume n'agbanyeghị ọrụ ya.

7 "Ngọzị na-adịrị
ndị a gbaghaara ajọ omume ha niile,
ndị ekpuchikwara mmehie ha niile.
8 Ngọzị na-adịrị nwoke ahụ,
onye Onyenwe anyị na-adịghị agụnyere mmehie ya."†

9 Ngọzị a ọ dịrị naanị ndị e biri ugwu ka ọ bụ nyekwa ndị a na-ebighị ugwu? Ihe
anyị na-ekwu bụ na a gụrụ okwukwe Ebraham dị ka ezi omume nye ya. 10 Olee mgbe
a gụrụ ya nye ya? Ọ bụ tupu e bie ya ugwu, ka ọ bụ mgbe e bichara ya ugwu? Ọ bụghị
mgbe e bichara ya ugwu kama ọ bụ tupu e bie ya ugwu. 11 Ọ natara ihe ịrịbama nke
obibi ugwu dịka akara nke ezi omume nke okwukwe o nwere mgbe ọ nọ na-ebighị
ugwu. Nke a bụ ime ya nna ndị niile kweerenụ, ndị ahụ ọ gụrụ dịka ndị ezi omume,
ọ bụ ezie na ha bụ ndị a na-ebighị ugwu. 12 N'ụzọ dị otu a kwa, ọ bụ nna ndị niile e
biri ugwu. Ndụ ya na-egosikwa ha na ọ bụghị obibi ugwu ha na-azọpụta ha, kama ọ
bụ okwukwe ha. N'ihi na Chineke nabatara Ebraham naanị site n'okwukwe o nwere
tupu e bie ya ugwu.

*E kwere Ebraham nkwa n'ihi okwukwe ya*

13 Nkwa o kwere Ebraham na agbụrụ ya na ha ga-eketa ụwa abụghị site n'idebe
iwu, kama ọ bụ site n'ezi omume nke okwukwe. 14 N'ihi na, ọ bụrụ na ndị a ga-enye
ihe e kwere na nkwa bụ ndị na-edebe iwu, inwe okwukwe abakwaghị uru, nkwa ahụ
enwekwaghị isi ọbụla. 15 N'ihi na iwu n'onwe ya na-eme ka ọnụma bịa. Ma ebe iwu
na-adịghị, mmehie adịghịkwa.
16 Ya mere, nkwa ahụ na-abịa site n'okwukwe, ka ọ bụrụ naanị site n'amara ka e
ji mee ka ụmụ ya niile nweta ya, ọ bụghị naanị nye ndị nọ n'okpuru iwu, kama ọ
bụkwa nye ndị nwere ụdị okwukwe Ebraham. N'ihi na ọ bụ nna anyị niile. 17 Dịka e
dere ya, "Emeela m gị nna nke ọtụtụ mba."‡ Ya mere, n'ihu Chineke ahụ bụ onye o
kweenyere n'ime ya, bụ onye ahụ na-eme ka ndị nwụrụ anwụ dịkwa ndụ ọzọ, onye
na-akpọkwa ihe ndị na-adịbụghị, mee ka ha dịrị.

*Ebraham bụ ihe ịmaatụ banyere okwukwe*

18 Ọ bụladị mgbe olileanya gasịrị, o kwenyere na ya ga-abụ nna nke ọtụtụ mba,
dịka ihe a gwara ya si dị, "Otu a ka mkpụrụ gị ga-adị.§"* 19 Ọ daghị mba n'okwukwe
ọ bụladị mgbe ọ matara na ya akala nka n'ahụ, n'ihi na ọ gbaruola otu narị afọ,

* **4:3** 4:3 Jen 15:6 † **4:8** 4:8 Abụ 32:1-2 ‡ **4:17** 4:17 Jen 17:5 § **4:18** 4:18 A gaghị agụta ha ọnụ. * **4:18** 4:18 Jen 15:5

tinyekwara na akpanwa Sera bụ ihe nwụrụ anwụ. [20] Ọ dịghị mgbe ọbụla o nwere
obi abụọ na Chineke agaghị emezu ihe niile o kwere ya na nkwa. Kama, okwukwe
ya mere ka ọ gbasie ike, ka ọ na-enye Chineke otuto. [21] O nwere otu obi na Chineke
pụrụ imezu ihe niile ọbụla o kwere na nkwa. [22] Ọ bụ n'ihi ya ka e ji guọ nke a nye ya
dị ka ezi omume.† [23] Okwu ndị a, "A gụrụ ya nye ya dịka onye ezi omume," edeghị
ya naanị maka ya. [24] Kama e dere ya n'ihi anyị bụ ndị kwere n'onye ahụ mere ka
Onyenwe anyị Jisọs si n'ọnwụ bilie. [25] Onye a rara nye ka ọ nwụọ n'ihi mmehie anyị
niile, ma e mere ka o si n'ọnwụ bilie ka anyị bụrụ ndị a gụrụ dịka ndị ezi omume.

# 5

### *Okwukwe na-eweta nzọpụta*

[1] Ya mere, ebe e sitere n'okwukwe mee ka anyị bụrụ ndị a gụrụ dịka ndị ezi omume,
udo dị ugbu a n'etiti anyị na Chineke site n'Onyenwe anyị Jisọs Kraịst. [2] Onye anyị
sitere n'aka ya nata amara nke anyị na-eguzo n'ime ya ugbu a. Anyị nọ n'ọṅụ
nweekwa olileanya na a ga-eme ka anyị keta oke n'ebube Chineke. [3] Ọ bụkwaghị
naanị nke a, ma anyị na-aṅụrịkwa ọṅụ n'ime nsogbu anyị niile, ebe anyị maara na
nsogbu ndị a na-enyere anyị aka ịbụ ndị nwere ntachiobi. [4] Ntachiobi na-arụpụta
n'ime anyị ezi agwa; ezi agwa na-arụpụtakwa olileanya. [5] Olileanya na-eme ka anyị
guzo chịm, n'ihi na Chineke awụnyela ịhụnanya ya n'ime obi anyị site n'onyinye
Mmụọ Nsọ.

[6] Mgbe ahụ anyị na-enweghị ike ọbụla, mgbe oge ahụ ruru nnọọ, Kraịst bịara nwụọ
ọnwụ n'ihi anyị bụ ndị mmehie. [7] A sịkwarị na anyị bụ ndị ezi omume ọ gaara abụ
ihe siri ike mmadụ ịbịa nwụọ ọnwụ n'ihi anyị. Ma eleghị anya, a ga-ahụkwa onye
nwere ike nwụọ n'ihi ezi mmadụ. [8] Ma lee ka ịhụnanya Chineke siri pụta ìhè! Mgbe
anyị ka nọrịị na-eme mmehie, Kraịst nwụrụ n'ihi anyị.

[9] Ebe a gụrụ anyị dịka ndị ezi omume site n'ọbara ya, nke karịrị nke a, a ga-esitekwa
na ya zọpụta anyị site n'ọnụma Chineke. [10] N'ihi na, ọ bụrụ na mgbe anyị bụ ndị iro
Chineke, e mere ka anyị na ya dị n'udo site n'ọnwụ Ọkpara ya, nke karịrị nke a bụ,
ebe ọ bụ na anyị na ya dịzi na mma, anyị ga-enweta nzọpụta site na ndụ ya. [11] Ọ
bụkwaghị naanị nke a, kama anyị na-aṅụrịkwa ọṅụ n'ime Chineke site na Onyenwe
anyị Jisọs Kraịst, onye anyị sitere na ya nata ịdị na mma a ugbu a.

### *Adam na Kraịst*

[12] Dịka o siri dị, ọ bụ site n'aka otu nwoke ka mmehie siri bata n'ụwa. Ọ bụkwa
mmehie a wetara ọnwụ. Ugbu a, ọnwụ erutela onye ọbụla aka n'ihi na mmadụ niile
emehiela.

[13] Ma tupu e nye iwu, mmehie dị n'ụwa. Ma a dịghị agụkọta mmehie mgbe iwu
na-adịghị. [14] Ma e mere ka ọnwụ rute onye ọbụla site n'oge Adam ruo n'oge Mosis.
O metụtara ọ bụladị ndị mmehie ha na-adịghị ka nke Adam, onye bụ ihe atụ nke
onye ahụ gaje ịbịa.

[15] Ma onyinye a adịghị ka njehie ya. N'ihi na ọ bụrụ na ọtụtụ nwụrụ site na
mmehie nke otu mmadụ, lee ka o siri bụrụ ihe dị ukwu karịa na amara Chineke
na onyinye amara sitere n'otu onye bụ Jisọs Kraịst ga-ababiga ụba oke rute ọtụtụ
mmadụ. [16] Ọzọ, onyinye a adịghị ka ihe mmehie mmadụ mụpụtara. N'ihi na ikpe
ahụ sooro mmehie otu onye weta ọmụma ikpe, ma onyinye ahụ sooro ọtụtụ njehie
weta ịgụ mmadụ n'onye ikpe na-amaghị. [17] Ya mere, ọ bụrụ na ọnwụ chịrị ọchịchị
site na njehie nke otu onye, ọ bụghị ihe dị ukwu karịa na ndị nabatara onyinye amara
Chineke bara ụba, ya na onyinye ezi omume, ga-achị achị na ndụ site n'otu onye ahụ
bụ Jisọs Kraịst.

† **4:22** 4:22 Jen 15:6

[18] Ya mere, dịka otu njehie si weta ikpe ọmụma nye mmadụ niile, otu ahụ kwa ka e
si gụọ mmadụ niile dịka ndị ezi omume na ndị nwere ndụ site n'otu ọrụ ezi omume.
[19] N'ihi na dịka ọtụtụ mmadụ si bụrụ ndị mmehie n'ihi nnupu isi nke otu nwoke, otu
a kwa ka ọtụtụ mmadụ ga-abụkwa ndị ezi omume n'ihi nrube isi nke otu nwoke.
[20] Iwu bịara mee ka mmehie na-aba ụba, ma dịka mmehie na-aba ụba, amara
na-abakwa ụba karịa. [21] Ya mere, dịka mmehie si bụrụ eze n'ọnwụ, otu a kwa ka
amara ga-esi bụrụ eze site n'ezi omume iweta ndụ ebighị ebi site n'aka Jisọs Kraịst,
Onyenwe anyị.

# 6

*Ịnwụ ọnwụ nye mmehie na Ịdị ndụ n'ime Kraịst*

[1] Gịnị ọzọkwa ka anyị ga-ekwu? Anyị ga-anọgide n'ime mmehie ka amara na-aba
ụba? [2] E e! O kwesighị! Olee otu anyị ga-esi na-adị ndụ n'ime mmehie, mgbe anyị bụ
ndị nwụrụ anwụ n'ebe mmehie dị? [3] Ọ bụ na unu amataghị na mgbe ahụ e jikọtara
anyị na Kraịst Jisọs na baptizim ka e jikọtakwara anyị na ya n'ọnwụ. [4] Ya mere,
esitere na baptizim likọọ anyị na ya n'ọnwụ, dịka e mere ka Kraịst site n'ọnwụ bilie
n'ebube nke Nna, ka anyị sikwa otu a keta oke na ndụ ọhụrụ.
[5] Ọ bụrụkwa na e jikọtaala anyị na ya n'ọnwụ, e jikọtakwala anyị na ya na mbilite
n'ọnwụ. [6] N'ihi na anyị maara na a kpọgidekọtara ndụ nke ochie anyị na Kraịst
n'elu obe, iji mee ka anụ ahụ nke mmehie ahụ bụrụ ihe a lara n'iyi, ka anyị bụrụkwa
ndị nwere onwe ha site n'ịbụ ohu nke mmehie. [7] N'ihi na onye nwụrụ anwụ agụọla
ya dịka onye nwere onwe ya site n'ebe mmehie dị.
[8] Ọ bụrụkwa n'eziokwu na anyị na Kraịst nwụkọrọ ọnwụ, anyị makwara na anyị
na ya ga-adịkọkwa ndụ ọzọ. [9] N'ihi na anyị maara na ebe e mere ka Kraịst site
n'ọnwụ bilie, ọ gaghị anwụkwa ọzọ. Ọnwụ enwekwaghị ike ọbụla n'ebe ọ nọ ọzọ.
[10] Ọ nwụrụ naanị otu mgbe n'ihi mmehie. Ma ndụ ọ na-adị ugbu a bụ nke ọ na-adị
nye Chineke.
[11] Ya mere, gụọ onwe unu ugbu a dịka ndị nwụrụ anwụ n'ebe mmehie dị. Gụọkwa
onwe gị dịka ndị dị ndụ n'ebe Chineke nọ n'ime Kraịst, site na Kraịst Jisọs Onyenwe
anyị. [12] Unu ekwela ka mmehie na-achị eze n'ahụ unu ọzọ, nke ga-eme ka unu na-
erubere agụụ nke anụ ahụ isi. [13] Unu a nakwala eche akụkụ ahụ unu ọbụla ka ọ
bụrụ ngwa ọrụ ajọ omume. Kama cheenụ onwe unu n'ihu Chineke, dịka ndị esi
n'ọnwụ kpọpụta nyefee na ndụ. Cheenụ akụkụ ahụ unu niile n'ihu Chineke dịka
ngwa ọrụ nke ezi omume. [14] N'ihi na unu ekwesighị ị bụ ohu mmehie, ebe ọ bụ na
unu anọkwaghị n'okpuru iwu ọzọ, kama unu nọ n'okpuru amara.

*Ịbụ ohu nke ezi omume*

[15] Gịnịkwa? Anyị ga-eme mmehie n'ihi na anyị anọghị n'okpuru iwu kama
n'okpuru amara? Mba! O kwesighị. [16] Ọ bụ na unu amataghị na mgbe unu weere
onwe unu nye mmadụ irubere ya isi dịka ohu, unu bụ ohu nye onye ahụ unu na-
erubere isi, maọbụ ohu nye mmehie nke na-eduba n'ọnwụ, ma ọ bụkwanụ irube isi
nke na-eduba n'ezi omume? [17] Ma ekele dịrị Chineke n'ihi na ọ bụ ezie na unu bụrịị
ohu nye mmehie, ma ugbu a, unu ejirila obi unu niile kpebie ịnabatara onwe unu
ozizi ahụ e nyefere n'aka unu. [18] Ugbu a, e meela ka unu nwere onwe unu site na
mmehie, unu abụrụla ndị ohu ezi omume.
[19] Ana m eji ihe ịmaatụ site na ndụ a na-ebi kwa ụbọchị, n'ihi adịghị ike nke anụ
ahụ mmadụ. Ya mere, dịka unu si were ahụ unu dị iche iche nye ịbụ ohu adịghị ọcha
na ajọ omume nke na-abawanye ụba, sitekwanụ otu a were ha nye ugbu a ka ha bụrụ
ohu ezi omume nke na-eduba n'ịdị nsọ. [20] Mgbe unu bụ ohu mmehie, o nweghị ihe
megidere unu ime ezi omume. [21] Ma gịnị bụ uru unu nwetara n'oge ahụ site n'ọrụ

ahụ niile unu rụrụ, bụ ihe ndị ahụ na-eme ka ihere mee unu? Ihe ndị ahụ na-eduba
n'ọnwụ. 22 Ugbu a, e meela ka unu nwere onwe unu site na mmehie. Unu aghọọla
ndị ohu Chineke. Uru unu na-erita bụ ịdị nsọ, ọgwụgwụ ya bụkwa ndụ ebighị ebi.
23 N'ihi na ụgwọ ọrụ mmehie bụ ọnwụ, ma onyinye amara Chineke na-enye n'efu,
bụ ndụ ebighị ebi, site na Jisọs Kraịst Onyenwe anyị.

# 7

*Ịma atụ site n'ọlụlụ di na nwunye*

1 Ọ bụ na unu amaghị ụmụnna m, unu ndị maara iwu nke ọma na ọ bụ oge mmadụ
dị ndụ ka iwu na-ejide ya? 2 Dịka ihe ịmaatụ, iwu na-ejikọta nwanyị lụrụ di na di ya
mgbe di ya ka nọ ndụ, ma ọ bụrụ na di nwanyị ahụ anwụọ, ọ nọkwaghị n'okpuru
iwu jikọtara ha dịka di na nwunye. 3 A ga-akpọ ya nwanyị na-akwa iko ma ọ bụrụ
na ọ lakwuru nwoke ọzọ mgbe di ya ka dị ndụ. Ma ọ bụrụ na di ya anwụọ, ọ ga-abụ
onye nwere onwe ya site n'iwu ahụ. Ọ kwaghị iko ma ọ bụrụ na ọ lụọ nwoke ọzọ.
4 Ya mere, ụmụnna m, unu onwe unu kwa anwụọla n'ebe iwu dị site n'ahụ Kraịst,
ka e nwe ike kenye unu onye ọzọ, bụ onye ahụ e mere ka o si n'ọnwụ bilie. Ka anyị
site na ya mịa mkpụrụ nye Chineke. 5 Mgbe anụ ahụ mmehie na-achị anyị, ọchịchọ
ọjọọ nke iwu na-akpali jupụtara n'ime anyị, nke mere na anyị na-amị mkpụrụ nye
ọnwụ. 6 Ugbu a, a tọghapụla anyị pụọ n'aka iwu ebe anyị nwụrụ nye ihe ndị kere
anyị agbụ na mbụ, anyị anaghị ebikwa ndụ n'usoro iwu ochie nke e dere n'akwụkwọ,
kama anyị na-eje ozi n'usoro ndụ ọhụrụ nke mmụọ.

*Iwu na mmehie*

7 Ugbu a, gịnị ka anyị ga-ekwu? Iwu ahụ ọ bụ mmehie? N'ezie, mbaa! Agaraghị
m ama ihe mmehie bụ ma ọ bụghị site n'iwu. Ọ bụrụ na iwu asịghị, "Enwela anya
ukwu,"* agaraghị m ama na ọ bụ mmehie. 8 Ma mmehie sitere n'iwu a megidere
ọchịchọ ọjọọ, mee ka echiche m mgbe niile bụrụ ihe gbasara ihe ọjọọ, na otu m ga-
esi mee ha. A sị na iwu adịghị, mmehie agaraghị adị. 9 Na mbụ, abụ m onye dị ndụ
mgbe iwu na-adịghị, ma mgbe iwu bịara, e mere ka mmehie nwe ntute. 10 Anwụrụ
m, ma chọpụta na iwu ahụ kwesiri iwetara m ndụ ghọziri ihe wetara ọnwụ. 11 N'ihi
na mmehie jiri ohere ahụ iwu webatara ghọgbuo m, sitekwa n'iwu ahụ gbuo m.
12 N'ezie, iwu ahụ dị nsọ, ihe e nyere n'iwu dị nsọ, bụrụkwa ezi omume na ihe dị
mma.
13 Mgbe ahụ, ọ pụtara na ihe ahụ dị mma wetaara m ọnwụ? Mba! Kama ọ bụ
mmehie sitere n'ihe dị mma wetara m ọnwụ, ka e nwee ike gosipụta na mmehie bụ
ihe jọgburu onwe ya site n'ihe e nyere n'iwu.

*Ọgụ na mgba dị na ndụ onye Kraịst*

14 Anyị matara na iwu bụ ihe nke mmụọ ebe mụ onwe m bụ anụ ahụ efu, onye e
rere dịka ohu nye mmehie. 15 O nweghị ụzọ ihe m na-eme si doo m anya. N'ihi na
ihe m na-eme abụghị ihe m chọrọ ime, ọ bụ ihe m kpọrọ asị bụ ihe na-agara m aka
ime mgbe niile. 16 Ma ọ bụrụ na m eme ihe m na-achọghị ime, ana m ekwenye na
iwu dị mma. 17 Ma dịka ọ dị, ọ bụkwaghị mụ onwe m na-eme ihe ndị a, kama ọ bụ
mmehie bi n'ime m. 18 O doro m anya na o nweghị ihe ọma ọbụla dị n'ime m, ya bụ
n'ime anụ ahụ m. N'ihi na ọ na-agụ m agụụ ime ezi ihe, ma ike ime ezi ihe adịghị
n'ime m. 19 Ihe m na-eme mgbe m chọrọ ime ezi ihe abụghị ezi ihe ahụ m chọrọ ime
kama ọ bụ ajọọ ihe ahụ m na-achọghị ime ka m na-eme. 20 Ọ bụrụ na m na-eme ihe
ahụ m na-achọghị ime, ọ pụtara na ọ bụghị mụ onwe m na-eme ihe ndị ahụ. Kama
ọ bụ mmehie bi n'ime m na-eme ha.

* **7:7** 7:7 Ọpụ 20:17; Dit 5:21

21 Achọpụtara m iwu nke na-arụ ọrụ n’ime m. Mgbe m chọrọ ime ihe ọma, naanị
ihe ọjọọ bụ ihe na-agara m aka ime. 22 N’ime ime onwe m, ọ na-agụ m agụụ ime
ihe iwu Chineke kwuru. 23 Ma ana m ahụta iwu ọzọ dị n’ime m nke na-agba mgba
megide iwu nke dị n’uche m, ime ka m bụrụ ohu nye iwu nke mmehie na-arụ ọrụ
ya n’anụ ahụ m. 24 Lee ụdị ọnọdụ ọjọọ nke m hụtara onwe m n’ime ya! Onye pụrụ
ịnapụta m site n’anụ ahụ a nke na-eduba m n’ọnwụ? 25 Ma ekele dịrị Chineke, onye
na-anapụta m site na Kraịst Jisọs Onyenwe anyị!

Ya mere, n’ime mmụọ m, abụ m odibo nye iwu Chineke, ma n’ime anụ ahụ mmehie
m, abụ m ohu nye iwu nke mmehie.

# 8

*Ndụ site n’ike Mmụọ Nsọ*

1 Ya mere, ikpe ọmụma ọbụla adịghịkwa ugbu a nye ndị niile nọ n’ime Jisọs Kraịst.
2 N’ihi na site na Kraịst Jisọs iwu nke Mmụọ na-enye ndụ emeela ka m nwere onwe m
site n’iwu nke mmehie na ọnwụ. 3 N’ihi na ihe iwu na-enweghị ike ime, n’ihi adịghị
ike nke anụ ahụ, ka Chineke mere, site n’izite Ọkpara ya, ka ọ bịa n’ụdịdị anụ ahụ
mmehie, bụrụ aja mmehie, site otu a, maa mmehie ikpe na anụ ahụ. 4 Ka izu ezu
nke ihe niile iwu chọrọ n’aka anyị bụrụ ihe e mezuru n’ime anyị, bụ ndị na-adịghị
ebi ndụ dịka ọchịchọ anụ ahụ si dịrị, kama dịka ọchịchọ Mmụọ Nsọ si dị.

5 Ndị niile na-ebi ndụ ha dịka anụ ahụ siri chọọ, na-ebi ya naanị imezu agụụ niile
na-agụ anụ ahụ ha. Ma ndị niile na-agbaso ụzọ nke Mmụọ na-achọpụta na ha na-eme
ihe Mmụọ na-achọ. 6 Ịtụkwasị uche n’ihe nke anụ ahụ na-eweta ọnwụ. Ma ịtụkwasị
uche n’ihe nke Mmụọ Nsọ na-eweta ndụ na udo. 7 N’ihi na onye ọbụla tụkwasịrị
uche ya n’ihe nke anụ ahụ na-ebuso Chineke agha, ọ naghị edebe iwu nke Chineke.
N’eziokwu, ọ gaghị enwe ike idebe ya. 8 Ya mere, ndị na-erubere anụ ahụ ha isi
apụghị ime ihe ga-atọ Chineke ụtọ.

9 Ma lee! Unu onwe unu anaghị ebizi ndụ n’usoro nke anụ ahụ, kama unu na-ebi
n’usoro nke Mmụọ Nsọ n’ihi na Mmụọ nke Chineke bi n’ime unu. Onye ọbụla na-
enweghị Mmụọ nke Kraịst abụghị nke ya. 10 Ọ bụrụkwa na Kraịst bi n’ime unu, anụ
ahụ unu ga-abụ ihe nwụrụ anwụ n’ebe mmehie dị, ma mmụọ unu dị ndụ n’ihi na a
gụọla unu na ndị ezi omume. 11 Ọ bụrụ na Mmụọ onye mere ka Jisọs si n’ọnwụ bilie,
bi n’ime gị, onye ahụ nke mere ka Kraịst si n’ọnwụ bilie ga-emekwa ka anụ ahụ gị
dị ndụ site n’ike Mmụọ Nsọ ahụ, onye bi n’ime gị.

12 Ya mere, ụmụnna m, anyị ji ụgwọ ma ọ bụghị anụ ahụ ka anyị ji ụgwọ ịdị ndụ
dịka ọchịchọ ya si dị. 13 Ọ bụrụ na unu na-ebi ndụ dịka anụ ahụ si chọọ, unu ga-
anwụ. Ma ọ bụrụ na unu ga-eji ike nke Mmụọ Nsọ mee ka omume niile nke anụ ahụ
nwụọ, unu ga-adị ndụ.

14 N’ihi na ndị niile Mmụọ nke Chineke na-achị bụ ụmụ Chineke. 15 N’ihi na unu
anataghị mmụọ nke na-eme unu ndị ohu ọzọ nye ịtụ ụjọ, kama unu natara Mmụọ
nke mere unu ụmụ Chineke. Ọ bụ site na Mmụọ ahụ ka anyị ji na-akpọ *“Abba,*[*] Nna.”
16 Mmụọ Nsọ, n’onwe ya na-agbakwa ama n’ime mmụọ anyị, na-agwa anyị na anyị
bụ ụmụ Chineke. 17 Ugbu a, ọ bụrụ na anyị bụ ụmụ, ọ pụtara na anyị bụ ndị nketa
oke, ndị ga-eketa ihe Chineke nwere, na ndị ha na Kraịst ga-ekekọta ihe, ma ọ bụrụ
n’ezie na anyị ga-esoro ya keta oke ahụhụ ya, ka anyị si otu a sorokwa ya keta oke
n’ebube ya.

*Ebube dị n’ihu*

[*] **8:15** 8:15 Nke a pụtara Nna n’asụsụ dị Aramaik.

[18] N’ikwu eziokwu, ahụhụ niile anyị na-ata ugbu a erughị ihe a ga-eji tụnyere ebube
niile a ga-ekpughe n’ime anyị. [19] Ihe niile e kere eke ji oke agụụ na-eche mgbe a ga-
egosipụta ndị bụ ụmụ Chineke. [20] N’ihi na e tinyere ihe e kere eke n’ọnọdụ ihe
na-abaghị uru, ma ọ bụghị site n’ọchịchọ nke onwe ya, kama n’ọchịchọ nke onye
ahụ tinyere ya n’ọnọdụ ahụ n’ime olileanya, [21] na otu ụbọchị na ha ga-enwere onwe
ha site n’agbụ nke ire ure, sorokwa keta oke n’ebube ahụ ga-abụ nke ụmụ Chineke.
[22] Anyị maara na ruo ugbu a, ihe niile e kere eke na-asụ ude n’ihi ihe mgbu ha nọ
n’ime ya, dịka ihe mgbu nke ọmụmụ nwa. [23] Ọ bụghị naanị nke a, ma anyị onwe
anyị, ndị nwere mkpụrụ mbụ nke Mmụọ Nsọ, na-asụkwa ude n’ime onwe anyị, na-
echesi ike mgbe a ga-akpọbata anyị dịka ụmụ, mgbe a ga-agbapụta anụ ahụ anyị.
[24] N’ihi na a zọpụtara anyị site n’olileanya dị otu a. Ma olileanya a na-ahụ anya
abụghị olileanya. Onye na-enwe olileanya mgbe ihe ọ na-ele anya ya dị ya n’aka?
[25] Ma ọ bụrụ na olileanya anyị dabeere n’ihe ahụ anyị na-enwetabeghị, anyị ga-eji
ndidi chere tutu ihe ahụ erute anyị aka.
[26] Otu aka ahụ, Mmụọ Nsọ na-enyere anyị aka n’ime adịghị ike anyị. N’ihi na
anyị amaghị ka esi ekpe ekpere dịka o kwesiri. Ma Mmụọ Nsọ n’onwe ya ji ịsụ ude
nke ọnụ apụghị ịkọ na-arịọrọ anyị arịrịọ. [27] Chineke, onye na-enyocha obi mmadụ,
amarala ihe Mmụọ Nsọ bụ n’uche. N’ihi na Mmụọ Nsọ na-arịọrọ ndị nsọ niile arịrịọ
dịka Chineke si chọọ.
[28] Anyị maara na ihe niile na-arụkọta ọrụ maka ọdịmma ndị hụrụ Chineke n’anya
bụ ndị a kpọrọ dịka uche nsọ ya siri dị. [29] N’ihi na ndị ahụ ọ maararị ka ọ kakwara
akara ka ha nwe ụdịdị nke Ọkpara ya, ka ọ bụrụ nwa e buru ụzọ mụọ n’etiti ọtụtụ
ụmụnna. [30] Ma ndị ahụ ọ kara akara, ka ọ kpọkwara; ndị ọ kpọrọ, ka ọ gụrụ na ndị
ezi omume; ndị ọ gụrụ na ndị ezi omume ka o nyekwara otuto.

### *Ọnọdụ na-enweghị atụ nke anyị nwere*

[31] Gịnị ọzọ ka anyị ga-ekwu banyere ihe ndị a. Ọ bụrụ na Chineke nọnyere anyị,
onye pụrụ imegide anyị? [32] Onye ahụ na-azọghị ndụ Ọkpara ya, kama o weere ya
nye n’ihi mmehie anyị niile, ọ dị ihe ọzọ anyị chọrọ ọ na-agaghị enye anyị site na ya?
[33] Onye pụrụ ibo ndị ahụ Chineke họpụtara ebubo? Ọ bụ Chineke na-agụ mmadụ
dịka onye ezi omume. [34] Onye bụ onye ahụ nke ga-ama ikpe? Ọ bụ Kraịst Jisọs onye
nwụrụ, ma karịa nke ahụ, onye e mere ka o si n’ọnwụ bilie, nọ n’aka nri Chineke
na-arịọtakwara anyị arịrịọ. [35] Onye nwere ike ikewapụ anyị site n’ịhụnanya Kraịst?
Ọ bụ nsogbu, ka ọ bụ ihe isi ike, ka ọ bụ mkpagbu. Ka ọ bụ ụnwụ, ka ọ bụ ịgba ọtọ,
ka ọ bụ ihe egwu, ka ọ bụ mma agha? [36] Dịka e dere ya,
“Ọ bụ n’ihi gị ka anyị na ọnwụ ji na-agba mgba ụbọchị niile.
A na-ele anyị anya dịka atụrụ a gaje igbu egbu.”†
[37] Mba, kama n’ime ihe ndị a niile, anyị karịrị ndị mmeri site n’onye ahụ hụrụ anyị
n’anya. [38] N’ihi na nke a bụ ihe m maara nke ọma, na ọnwụ, maọbụ ndụ, maọbụ
ndị mmụọ ozi, maọbụ mmụọ dị iche iche ndị na-achị n’elu na n’ụwa, maọbụ ike
ọchịchịrị dị iche iche, maọbụ ihe dị ugbu a, maọbụ ihe gaje ịbịa, [39] maọbụ ịdị elu,
maọbụ ịdị omimi, ma ọ bụkwanụ ihe ọbụla ọzọ e kere eke, agaghị enwe ike ikewapụ
anyị site n’ịhụnanya Chineke, nke dị n’ime Kraịst Jisọs Onyenwe anyị.

## 9

### *Chineke na ndị ya ọ họpụtara*

[1] Ana m ekwu eziokwu n’ime Kraịst. Anaghị m ekwu okwu ụgha. Akọnuche m
nke Mmụọ Nsọ na-achị na-agbakwara m ama. [2] A nọ m n’ọnọdụ oke ihe mwute na
ihe mgbu dị ukwuu n’obi m. [3] A sị na ọ bụ ihe ga-ekwe mee, ejikeere m ịbụ onye a

---

† **8:36** 8:36 Abụ 44:22

bụrụ ọnụ na onye e wepụrụ site n’ebe Kraịst nọ n’ihi ụmụnna m na ndị ikwu m, 4 bụ
ndị Izrel. Ndị Chineke họọrọ ka ha bụrụ ụmụ ya, ndị o nyere ebube ya na ọgbụgba
ndụ ya. O nyekwara ha iwu na ife ofufe n’ụlọnsọ ukwu ahụ na ọtụtụ nkwa dị iche
iche. 5 Ha si n’agbụrụ nna nna anyị ochie ha. Kraịst n’onwe ya, n’ụdịdị mmadụ,
sikwa n’agbụrụ ha pụta, onye bụ Chineke nke ihe niile, onye a na-eto ruo ebighị ebi.
Amen.

### *Chineke adịghị ala azụ na nkwa ya*

6 Ọ bụghị dị ka a ga-asị na okwu Chineke na-ala azụ. N’ihi na ọ bụghị onye ọbụla
a mụrụ n’ezinaụlọ ndị Izrel bụ onye Izrel. 7 Na ha sitere n’agbụrụ Ebraham pụta
emeghị ka ha bụrụ ụmụ Ebraham n’ezie. Ma n’akụkụ nke ọzọ, “Ọ bụ site n’Aịzik ka
a ga-akpọ mkpụrụ gị aha.”* 8 Nke a na-egosi na ọ bụghị ndị niile a mụrụ na-anụ ahụ
bụ ụmụ Chineke, kama ụmụ ndị ahụ e kwere na nkwa bụ ndị a na-agụnye dị ka ụmụ
Ebraham site na nkwa ahụ. 9 Lee ka e si kwee nkwa ahụ, “Mgbe oge ahụ a kara aka
ruru, aga m alọghachi, Sera ga-amụkwa nwa nwoke.”†
10 Ọ bụghị naanị nke a. Ụmụ Ribeka si n’otu nna, ya bụ nna nna anyị Aịzik. 11 Ma
tupu a mụọ ụmụ ejima ndị a, ma ọ bụkwanụ tupu ha emee ihe ọbụla dị mma maọbụ
nke dị njọ, iji mee ka ọchịchọ Chineke banyere nhọpụta ha guzoro, 12 ọ bụghị site
n’ọrụ kama ọ bụ site n’onye ahụ nke na-akpọ, n’ihi na a gwara ya sị, “Nke okenye
ga-ejere nke nta ozi.”‡ 13 Dịka e dere ya, “Jekọb ka m hụrụ n’anya ma Ịsọ ka m kpọrọ
asị.”§
14 Gịnịkwa ka anyị ga-ekwu? Chineke ọ bụ onye ajọ omume? Mba! 15 N’ihi na ọ
gwara Mosis,
“Onye m chọrọ imere ebere ka m ga-emere ebere,
ọ bụkwa onye m chọrọ imere ọmịiko ka m ga-enwere ọmịiko.”*
16 Ya mere, ọ dabereghị n’ọchịchọ nke mmadụ maọbụ ịrụsị ọrụ ike ya kama ọ dabere
n’ebere Chineke. 17 N’ihi n’akwụkwọ nsọ gwara Fero, “Emere m ka ị bụrụ ihe ị bụ
n’ihi nke a, ka m were gị zipụta ike m, ka e nwe ike kwusaa aha m n’ụwa niile.”† 18 Ọ
pụtara ihe na ọ bụ naanị ndị Chineke chọrọ ka ọ na-emere ebere, ndị ọ chọkwara ka
ọ na-eme ka ha bụrụ ndị obi ha kpọchiri akpọchi.

### *Iwe Chineke na ebere ya*

19 Ma eleghị anya unu pụrụ ịgwa m, “Gịnị kwanụ mere o ji ata anyị ụta? Onye
kwanụ pụrụ iguzogide ihe o zubere ime?” 20 Onye ka ị bụ gị mmadụ efu, iji ajụ
Chineke ajụjụ? “Nkata mmadụ na-akpa ọ ga-ajụ onye na-akpa ya ajụjụ, ‘Onye sị gị
kpaa m otu a?’ ”‡ 21 Otu a kwa, onye ọkpụ ite o nweghị ike isite n’otu ụrọ ahụ o nwere
kpụọ ụdị ite ọbụla masịrị ya, ụfọdụ ite pụrụ iche na ụfọdụ e ji eje ozi n’ụlọ?
22 Ọ bụrụkwanụ na Chineke ekpebie igosi iwe ya na ime ka a mara ike ya site n’inwe
oke ndidi banyere ndị oke iwe ya ga-adakwasị bụ ndị a kwadoro maka mbibi? 23 Ma
ọ bụrụkwanụ na o mere nke a iji mee ka ndị ahụ ọ na-emere ebere mata ịba ụba
nke ebube ya, bụ ndị o bururị ụzọ kwadoo maka ebube a. 24 Ọ bụladị anyị bụ ndị ọ
kpọkwara, ọ bụghị naanị site na ndị Juu kama site na ndị mba ọzọ? 25 Dịka o kwuru
n’akwụkwọ Hosiya,
“Aga m akpọ ha ‘ndị m,’ bụ ndị na-abụghị ndị m.
Aga m akpọkwa ya ‘onye m hụrụ n’anya’ bụ onye m na-ahụghị n’anya.”§
26 Ma,
“N’otu ebe ahụ a nọ sị ha,
‘Unu abụghị ndị m,’

---

* **9:7** 9:7 Jen 21:12 † **9:9** 9:9 Jen 18:10,14 ‡ **9:12** 9:12 Jen 25:23 § **9:13** 9:13 Mal 1:2,3 * **9:15** 9:15 Ọpụ 33:19 † **9:17** 9:17 Ọpụ 9:16 ‡ **9:20** 9:20 Aịz 29:16; 45:9 § **9:25** 9:25 Hos 2:23

bụkwa ebe a ga-anọ kpọọ ha, 'Ụmụ* nke Chineke dị ndụ.' "†
27 Aịzaya bere akwa n'ihi ụmụ Izrel,
"Ọ bụ ezie na ọnụọgụgụ ụmụ Izrel dịka uzuzu dị n'akụkụ osimiri,
maọbụ naanị mmadụ ole na ole ka a ga-azọpụta.
28 N'ihi na Onyenwe anyị na-aga ikpe ụwa a ikpe.
Ọ ga-eme ọsịịsọ n'ikpe ahụ ma kpebie ya."‡
29 Ọ bụkwa dịka Aịzaya kwuru na mbụ,
"Ọ bụrụ na Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile
ahapụrụghị anyị ụmụ ụmụ,
anyị gara adị ka Sọdọm,
anyị gaara adịkwa ka Gọmọra."§

### *Ihe mere e ji jụ ndị Izrel*

30 Gịnịkwa ka anyị ga-ekwu? Anyị ga-asị na o enyela ndị mba ọzọ na-enweghị oge
ha gbasoro ezi omume, ma ha natara ya, bụ ezi omume nke sitere n'okwukwe, 31 ma
ndị Izrel na-agbaso iwu nke ezi omume, enwebeghị ike ime onwe ha ndị a ga-anabata.
32 Gịnị gbochiri ha? Ọ bụ n'ihi na ha agbasoghị ya site n'okwukwe. Kama ha chere
na ọ bụ site n'ọrụ. Ha zọhiere ụkwụ n'oke nkume ịsọ ngọngọ ahụ. 33 Dịka e dere
ya,
"Lee, ana m atọgbọ na Zayọn nkume nke na-eme ka ndị mmadụ sọọ ngọngọ,
oke nkume nke na-eme ka ha daa.
Ma onye nke kweere na ya, agaghị eme ka ihere mee ya."*

## 10

1 Ụmụnna m, ihe na-agụ nnọọ obi m agụụ nke ukwu na ekpere m na-ekpe nye
Chineke bụ ịhụ na a zọpụtara ha. 2 Ana m agba akaebe na ihe banyere Chineke na-
anụ ha ọkụ n'obi nke ukwuu. Kama ịnụ ọkụ n'obi ha abụghị site na mmazu Chineke.
3 Ebe ha na-amaghị ezi omume nke si na Chineke bịa kama ha chọrọ ihiwe nke onwe
ha, ha ewedaghị onwe ha n'okpuru ezi omume nke Chineke. 4 Kraịst bụ ọgwụgwụ
iwu. Ya mere, ezi omume ga-adịrị onye ọbụla nke kwere.

### *Ama Mosis gbara banyere idebe iwu*

5 Mosis si otu a dee banyere ezi omume nke sitere n'iwu, "Onye ọbụla na-eme
ihe ndị a ga-adị ndụ site na ha."* 6 Ma ezi omume ahụ nke sitere n'okwukwe na-
asị, "Asịla n'ime obi gị, 'onye ga-arịgo n'ime eluigwe?' "† (nke bụ, ikudata Kraịst)
7 "maọbụ, 'Onye ga-arịda n'ime ili?' "‡ (nke a bụ, ịkpọlite Kraịst site na ndị nwụrụ
anwụ). 8 Ma gịnị ka ọ na-ekwu? "Okwu ahụ nọ gị nso, ọ dị n'ọnụ gị dịrịkwa n'obi
gị,"§ ọ bụ ya, bụ okwu okwukwe ahụ anyị na-ekwusa. 9 Ma ọ bụrụ na ị ga-eji ọnụ gị
kwupụta, na "Jisọs bụ Onyenwe anyị," kwerekwa n'ime obi gị na Chineke kpọlitere
ya site n'ọnwụ, a ga-azọpụta gị. 10 N'ihi na ọ bụ obi gị ka ị ga-eji kwere; a gụọ gị
n'onye ezi omume, ọ bụkwa ọnụ gị ka ị ga-eji kwupụta, a zọpụta gị. 11 Dịka akwụkwọ
nsọ kwuru, "Onye ọbụla kweere na ya, agaghị eme ka ihere mee ya."* 12 N'ihi na o
nweghị ihe dị iche n'etiti onye Juu na onye mba ọzọ, otu Onyenwe anyị ahụ bụ Onye
nwe mmadụ niile, ọ na-agọzibigakwa ndị na-akpọku ya oke. 13 N'ihi na, "Onye ọbụla
nke na-akpọku aha Onyenwe anyị, ka a ga-azọpụta."†
14 Ma olee otu ha ga-esi kpọkuo aha ya ma ọ bụrụ na ha ekwereghị na ya? Olee
otu ha ga-esikwa kwere n'onye ahụ ha anụbeghị ihe gbasara ya? Olee otu ha ga-
esi nụkwa ma ọ bụrụ na ndị nkwusa adịghị? 15 Oleekwanụ otu ha ga-esi pụọ gaa

* **9:26** 9:26 Ya bụ, ụmụ ndị ikom † **9:26** 9:26 Hos 1:10 ‡ **9:28** 9:28 Aịz 10:22,23 § **9:29** 9:29 Aịz 1:9
* **9:33** 9:33 Aịz 8:14; 28:16 * **10:5** 10:5 Lev 18:5 † **10:6** 10:6 Dit 30:12 ‡ **10:7** 10:7 Dit 30:13 § **10:8** 10:8
Dit 30:14 * **10:11** 10:11 Aịz 28:16 † **10:13** 10:13 Jul 2:32

kwusaa, ma ọ bụrụ na o nweghị ndị zipụrụ ha? Dịka e dere ya n'akwụkwọ nsọ, sị, "Lee, ka ha si maa mma bụ ụkwụ ndị na-eweta oziọma."‡
16 Ma ọ bụghị mmadụ niile nabatara oziọma ahụ. N'ihi na Aịzaya kwuru, "Onyenwe anyị, onye kweere ozi anyị?"§ 17 Ma ọ bụ ihe doro anya na ọ bụ site n'ige ntị n'oziọma a ka mmadụ ji enweta okwukwe, oziọma ahụ a na-anụ bụ site n'okwu Kraịst. 18 Ma ana m ajụ, Ọ ga-abụ na ha anụghị? Ha nụrụ ya n'ezie.
"N'ụwa niile ka olu ha pụrụ gazuo,
okwu ọnụ ha niile erukwaala n'ebe ụwa sọtụrụ."*
19 Ọzọkwa, ana m ajụ, ọ bụ na Izrel aghọtaghị? Na mbụ, Mosis sịrị,
"Aga m esite na ndị na-abụghị mba kpalie mmụọ ekworo n'ime unu;
aga m esitekwa n'obodo na-enweghị nghọta kpasuo unu iwe."†
20 Ma Aịzaya jiri nkwuwa okwu sị,
"Ndị chọtara m bụ ndị na-adịghị ajụ ase m,
ekpugheere m onwe m nye ndị ahụ na-adịghị ajụ ase m."‡
21 O kwuru banyere ndị Izrel,
"Agbasara m aka m ogologo ụbọchị niile
nye ndị nnupu isi na ndị na-ekwesị olu ike."§

# 11

*A ga-azọpụta ole na ole*

1 Mgbe ahụ a na m ajụ, ọ ga-abụ na Chineke ajụla ndị ya? Mba, nke a apụghị ime, n'ihi na mụ onwe m bụkwa onye Izrel. Abụ m nwa nwa Ebraham, onye si n'agbụrụ Benjamin pụta. 2 Chineke ajụbeghị ndị ya bụ ndị ọ họpụtara site na mmalite ihe niile. Ọ bụ na unu amaghị ihe akwụkwọ nsọ na-ekwu banyere Ịlaịja, otu o siri rịọ Chineke arịrịọ megide ụmụ Izrel? 3 "Onyenwe m, ha egbuchala ndị amụma gị niile, mebisiekwa ebe ịchụ aja gị niile, maọbụ naanị m fọdụrụ. Ha na-achọkwa ụzọ igbu m."* 4 Gịnị bụ ọsịsa Chineke nyere ya? "E nwere m puku mmadụ asaa ọzọ ndị hụrụ m n'anya, ndị na-egbubeghị ikpere ha n'ala nye Baal."† 5 Otu a ka ọ dịkwa n'oge dị ugbu a, a họrọla mmadụ ole na ole site n'amara ya. 6 Ọ bụrụ na o sitere n'amara, o sighịzikwa n'ọrụ. N'ihi na ọ bụrụ na o si n'ọrụ, amara ya abụghịkwa amara n'eziokwu.
7 Gịnịkwa? Ihe ndị Izrel jiri ike ha niile na-achọ nke ha na-achọtaghị ka ndị a họpụtara chọtara. Ndị nke ọzọ mechiri obi ha. 8 Dịka e dere ya,
"Chineke nyere ha mmụọ na-eme mmadụ iberiibe.
O nyela ha anya nke ha na-ejighị ahụ ụzọ,
nyekwa ha ntị nke ha na-ejighị anụ ihe;
o mere nke a ruo taa."‡
9 Devid kwukwara,
"Ka tebul ha ghọọrọ ha igbudu na ọnya,
ha bụrụkwa ihe ịsọ ngọngọ na ntaramahụhụ nye ha.
10 Ka anya ha gbaa ọchịchịrị, ka ha gharakwa ịhụ ụzọ.
Mee ka azụ ha bụrụ ihe arọjiri arọji ruo mgbe ebighị ebi."§

*A ga-azọpụta ndị Juu*

11 Ajụjụ ọzọ m na-ajụ bụ nke a: Ọ ga-abụ na ha sụrụ ngọngọ ka ha daa ma ghara ibilite ọzọ? Ọ bụghị otu a! Kama n'ihi mmehie ha, nzọpụta rutere ndị mba ọzọ ka e sitekwa na nke a kpalie ekworo n'ime ụmụ Izrel. 12 Ma ọ bụrụ na mmehie ha wetara

‡ **10:15** 10:15 Aịz 52:7 § **10:16** 10:16 Aịz 53:1 * **10:18** 10:18 Abụ 19:4 † **10:19** 10:19 Dit 32:21 ‡ **10:20** 10:20 Aịz 65:1 § **10:21** 10:21 Aịz 65:2 * **11:3** 11:3 1Ez 19:10,14 † **11:4** 11:4 1Ez 19:18 ‡ **11:8** 11:8 Dit 29:4; Aịz 29:10 § **11:10** 11:10 Abụ 69:22,23

akụnụba nye ụwa, ọ bụrụkwa na ịbụ ogbenye ha wetara ngọzị nye ndị mba ọzọ, ọ
bụ na ngọzị babigara ụba oke agaghị adị mgbe a ga-agụkọta ọnụọgụgụ ha niile?
13 Ugbu a, unu ndị mba ọzọ, ka m na-agwa okwu. Ọ bụ ezie na mụ onwe m bụ
onyeozi nye ndị mba ọzọ, ana m enwe afọ ojuju n'ihi ije ozi m. 14 N'ihi na enwere
m olileanya na, ma eleghị anya, apụrụ m isite n'ụzọ a kpasuo ekworo n'ime ụfọdụ
ụmụnna m, ka e site n'ekworo ha zọpụta ụfọdụ n'ime ha. 15 Ọ bụrụ na ọ bụ site
n'ọjụjụ a jụrụ ha ka e siri mee ka ụwa dịrị na mma, gịnị ga-eme mgbe a nabatara ha?
Ọ ga-adị ka i si n'ọnwụ bilie ọzọ, nwee ndụ ọzọ. 16 Ebe ọ bụkwa na iberibe achịcha
e jiri chụọ aja bụ ihe dị nsọ, mgbe ahụ, achịcha ahụ niile bụ ihe dị nsọ. N'ihi na ọ
bụrụ na mgbọrọgwụ osisi dị nsọ, otu a kwa, alaka ya ga-adịkwa nsọ.

### *Ịdọ aka na ntị*

17 Ma a nyakapụrụ ụfọdụ alaka osisi a, werekwa unu bụ alaka osisi oliv ọhịa
nyapagide n'ọnọdụ ha. Ya mere, unu esorola keta oke na ngọzị sitere na mgbọrọgwụ
osisi oliv ahụ. 18 Ma unu ekwesighị ịnya isi na a dọkapụrụ alaka ndị ọzọ were unu
dochie n'ọnọdụ ha. Ihe unu na-aghaghị ịmata bụ nke a: unu bụ naanị alaka dị n'osisi.
Ọ bụghị unu na-ebu mgbọrọgwụ osisi, kama ọ bụ mgbọrọgwụ osisi na-ebu unu. 19 Ma
eleghị anya unu nwere ike kwuo, "Ma a nyakapụrụ alaka ụfọdụ e nwee ohere ebe
a ga-anyapagide anyị." 20 Nke ahụ bụ eziokwu. Ma chetakwanụ na a nyakapụrụ ha
n'ihi ekweghị ekwe ha, ma unu nọ naanị site n'okwukwe. Ya mere anyala isi, kama
na-atụ egwu. 21 N'ihi na ọ bụrụ na Chineke emereghị alaka nke osisi ahụ wapụtara
n'onwe ya ebere, ọ gaghị emekwara gị ebere.
22 Ya mere, tulee obiọma na aka ike Chineke, aka ike n'ebe ndị dara ada nọ, ma
obiọma n'ebe unu nọ, naanị mgbe unu na-anọgideghị n'obi ebere ya, ma ọ bụghị
ya, ọ ga-anyakapụkwa unu. 23 Ma ọ bụrụ na ha anọgideghị na-ekweghị ekwe, a ga-
anyapagidekwa ha n'ihi na Chineke pụrụ ịnyapagide ha ọzọ. 24 N'ihi na asị na e
gbupụtara unu site n'alaka osisi oliv ọhịa, nyapagide unu n'osisi oliv ọma ahụ n'ụzọ
na-abụghị usoro ndụ, gịnị kwanụ ga-egbochi ịnabata alaka ndị ya, bụ ndị si na ya,
mee ka ha laghachi azụ n'osisi oliv ahụ e si nyakapụ ha.

### *Nzube Chineke banyere ndị Izrel*

25 Ụmụnna m, achọrọ m ka unu mata ihe omimi a, ka unu ghara ịnya isi. Nnupu
isi ụfọdụ ụmụ Izrel agaghị adịgide kama ọ ga-adị ruo n'oge ọnụọgụgụ ndị mba ọzọ
a ga-anabata zuru. 26 Mgbe ahụ, a ga-azọpụta Izrel niile. Dịka e dere ya,
"Onye nzọpụta ga-esite na Zayọn bịa.
Ọ ga-eme ka Jekọb site na ndụ asọpụrụghị Chineke chigharịa.
27 Nke a bụ ọgbụgba ndụ m nke dị n'etiti mụ na ha,
mgbe m wepụrụ mmehie ha niile."*
28 N'ihe banyere oziọma, ha bụ ndị iro nke Chineke n'ihi unu. Ma a bịa n'ihe
gbasara nhọpụta, ha bụ ndị nke a hụrụ n'anya n'ihi ndị nna nna ha. 29 N'ihi na
enye anarakwa adịghị n'onyinye nakwa ọkpụkpọ Chineke. 30 Unu onwe unu ndị na-
enupuru Chineke isi na mbụ, anatala ebere ya ugbu a, n'ihi nnupu isi ha. 31 Otu a ka
ọ dịkwa, ha bụ ndị na-enupu isi ugbu a ka ha nwe ike soro unu keta oke site n'ebere
Chineke meere unu. 32 N'ihi na Chineke enyefeela onye ọbụla n'aka nnupu isi, ka o
si otu a gosi mmadụ niile obi ebere ya.

### *Ekele dịrị Chineke*

33 Leenụ ka o si dị omimi bụ akụ ahụ Chineke nwere! Lee ka ịba ụba nke amamihe
ya na ihe ọmụma ya siri dị ukwuu!
Apụghị ịchọpụta ikpe ya niile,

* **11:27** 11:27 Aịz 59:20,21; 27:9; Jer 31:33,34

ụzọ ya niile bụkwa ihe apụghị ịchọpụta.
34 “Onye maara uche Onyenwe anyị?
Ma ọ bụ onye bụ onye ahụ na-enye ya ndụmọdụ?”†
35 “Onye burula ụzọ nye Chineke ihe,
nke ga-eme ka Chineke kwụghachi ya?”‡
36 N’ihi na ihe niile sitere n’ime ya, sitekwa n’aka ya, dịkwara ya.
Ọ bụ ya ka otuto dịrị ruo mgbe niile ebighị ebi! Amen.

# 12

*Aja dị ndụ*

1 Ya mere, ụmụnna m, eji m obi ebere Chineke na-arịọ ka unu chee anụ ahụ unu
dịka aja dị ndụ, dịkwa nsọ, ma bụrụkwa nke na-atọ Chineke ụtọ, nke bụkwa ofufe
nke ime mmụọ unu. 2 Unu eyila ụwa nke a, kama bụrụnụ ndị enwoghara site
n’ịgbanwe uche unu. Mgbe ahụ, unu ga-enwe ike nwapụta ihe bụ uche Chineke
na ihe ọ na-achọ, nke bụ ezi ihe, nke na-atọ ya ụtọ na nke zukwara oke.

*Ọrụ obi umeala*

3 Dịka onyinye amara e nyere m siri dị, ana m adọ onye ọbụla n’ime unu aka na
ntị sị, Unu atụkwasịla uche n’echiche banyere onwe unu karịa ka o si kwesi. Kama,
jirinụ obi dị umeala lee onwe unu anya dịka okwukwe Chineke nyere unu ha. 4 Dịka
anyị niile n’otu n’otu si nwe anụ ahụ nke nwere akụkụ dị iche iche, bụ akụkụ ndị
na-arụ ọrụ dị iche iche, 5 n’otu aka ahụ, n’ime Kraịst anyị bụ otu, n’agbanyeghị na
anyị bụ akụkụ dị iche iche nke otu anụ ahụ. E jikọtara anyị niile n’otu n’otu nye
ibe anyị. 6 Anyị nwere onyinye dị iche iche nke e sitere n’amara nye anyị, ọ bụrụ
na onye ọbụla nwere onyinye ibu amụma, ya buo ya dịka okwukwe o nwere ha. 7 Ọ
bụrụ ije ozi, ya jee ozi, ya bụrụkwanụ izi ihe, ya zie ihe. 8 Ka onye nwere onyinye
ịgbaume, gbaa ndị ọzọ ume, ya bụrụkwanụ inyeaka, ka onye nwere onyinye a site
n’afọ ofufu mee ya, ọ bụrụ ịbụ onyendu, ka onye ahụ duo site n’ikpachapụ anya, ya
bụrụkwanụ ime ebere, ka onye ahụ jiri obi ụtọ na-eme ya.

*Ịhụnanya*

9 Ka ịhụnanya bụrụ nke ihu abụọ n’adịghị na ya, kpọọ ihe ọjọọ asị, jidesie ihe
dị mma ike. 10 Hụrịtanụ onwe unu n’anya, dịka ụmụ nke otu nna. Ka ihe ibe unu
na-eme na-atọ unu ụtọ. Na-asọpụkwaranụ ibe unu karịa otu ha si asọpụrụ unu.
11 Unu abụla ndị umengwụ n’ọrụ unu. Kama werenụ mmụọ na obi na-anụ ọkụ na-
ejere Onyenwe anyị ozi mgbe niile. 12 Nweenụ obi aṅụrị n’ime olileanya, nweenụ
ntachiobi n’ime nsogbu, na-ekpekwanụ ekpere mgbe niile. 13 Na enyetụnụ ụfọdụ ndị
nsọ* ihe site n’ihe unu nwere iji gboo mkpa dịrị ha. Na-elekọtakwanụ ndị ọbịa anya
nke ọma.
14 Gọzienụ ndị na-akpagbu unu, gọzienụ ha, unu abụkwala ha ọnụ. 15 Mgbe ndị ọzọ
na-aṅụrị ọṅụ, soronụ ha ṅụrịa ọṅụ. Mgbe ha nọ n’iru ụjụ, soronụ ha ruo ụjụ. 16 Na-
ebinụ n’udo. A bụla onye mpako, unu na ndị ọnọdụ ha dị ala na-enwe mmekọrịta,
echekwala na ị maara ihe niile.
17 Ejikwala ihe ọjọọ akwụghachi ihe ọjọọ e mere gị. Kama, na-echenụ otu unu
ga-esi mee ihe dị mma n’anya mmadụ niile. 18 Dịka ike gị niile ha, mee ka gị na onye
ọbụla biri n’udo. 19 Ndị enyi m, unu abọla ọbọ, kama hapụrụnụ Chineke ọrụ ịbọtara
unu ọbọ. N’ihi na e dere ya, “Ịbọ ọbọ dịrị m, aga m akwụghachi,”† ka Onyenwe anyị
kwuru. 20 Ma otu ọ dị,
“ọ bụrụ na agụụ na-agụ onye iro gị, were nri zụọ ya,

† **11:34** 11:34 Aịz 40:13 ‡ **11:35** 11:35 Job 41:11 * **12:13** 12:13 Ndị nke Onyenwe anyị † **12:19** 12:19 Dit 32:35

ọ bụrụkwa na akpịrị na-akpọ ya nkụ, nye ihe ọṅụṅụ ka ọ ṅụọ,
mgbe ị na-eme nke a, ị na-agụkwasị icheku ọkụ na-ere ere n’isi ya.”‡
21 Unu ekwela ka ihe ọjọọ merie unu, kama werenụ ezi ihe merie ihe ọjọọ.

# 13

### *Irubere ndị na-achị achị isi*

1 Ka onye ọbụla doo onwe ya n’okpuru ndị na-achị achị, n’ihi na ikike ọchịchị
ọbụla agaghị adị ma ọ bụrụ na Chineke akwadoghị ya. Ọ bụkwa Chineke tọrọ ntọala
ikike ọchịchị niile e nwere. 2 Ya mere, onye ọbụla na-enupu isi n’okpuru ọchịchị,
na-emegide ihe Chineke hiwere, ndị na-eme nke a ga-ewetara onwe ha ikpe ọmụma.
3 Ndị na-eme ezi ihe anaghị atụ egwu ndị nọ n’ọchịchị, kama ndị na-atụ ha egwu
bụ ndị na-eme ihe ọjọọ, ya mere ọ bụrụ na ị chọghị ịtụ ndị na-achị achị egwu, mee
ihe dị mma, ha ga-etokwa gị. 4 N’ihi na ọ bụ onyeozi Chineke maka ọdịmma nke gị,
ma ọ bụrụ na unu mere ihe na-adịghị mma, tụọnụ egwu, n’ihi na onye na-achị achị
nwere ezi nkwado ịta onye mere ihe ọjọọ ahụhụ. Ọ bụ onyeozi Chineke bụrụkwa
onye na-eji ọnụma na-ata ndị mmebi iwu ahụhụ. 5 Ya mere unu kwesiri irubere ndị
na-achị achị isi, ọ bụghị naanị maka ahụhụ dịrị ndị nnupu isi, kama n’ihi akọnuche.
6 Ọ bụkwa nke a kpatara unu ji na-atụ ụtụ isi nke taks, n’ihi na ndị na-achị achị
na-ejere Chineke ozi mgbe ha na-aga n’ihu n’ezi ọchịchị. 7 Kwụghachinụ onye ọbụla
ihe unu ji ha n’ụgwọ, ọ bụrụ na unu ji ụgwọ ụtụ taks, kwụọnụ ya, ọ bụrụkwa ụgwọ
ụtụ isi nke akụnụba unu, ka unu ji, kwụọnụ ya. Ọ bụrụ na onye ọbụla kwesiri ka a
sọpụrụ ya, sọpụrụnụ onye dị otu a, ọ bụrụkwa na onye ọbụla kwesiri ka a kwanyere
ya ugwu kwanyerenụ ya ugwu.

### *Ịhụnanya n’ihi na oge dị nso*

8 Kwụọnụ ụgwọ niile unu ji. Ka ụgwọ unu ga-ejide ndị mmadụ bụrụ ụgwọ ịhụ ha
n’anya. N’ihi na mgbe ị na-ahụ ndị mmadụ n’anya, ị na-emezu ihe niile iwu chọrọ.
9 Iwu niile e nyere, “Gị akwala iko,” “Egbula mmadụ,” “Ezula ohi,” “Enwela anya
ukwu n’ihe mmadụ ibe gị nwere,”* nakwa iwu ndị ọzọ niile e nyere ka a chịkọtara
n’otu nke a sịrị: “Hụ mmadụ ibe gị n’anya dịka onwe gị.”† 10 Ịhụnanya adịghị echere
onye agbataobi ya echiche ọjọọ, ya mere ịhụnanya bụ idebezu iwu niile.

### *Oge ahụ dị nso*

11 Ihe ọzọ mere o ji dị mkpa ibi ezi ndụ bụ nke a. Unu maara na oge ahụ anyị na-ele
anya ya abịala nso. Ya mere, sitenụ n’ụra bilie, n’ihi na nzọpụta anyị adịla nso ugbu
a karịa mgbe ahụ anyị kweere na mbụ. 12 Abalị ekeela abụọ, ọ fọdụrụ ntakịrị ugbu
a, ọ bụrụ ụtụtụ. Ka anyị yipụ uwe ọrụ nke ọchịchịrị, ma yikwasị ngwa agha nke ìhè.
13 Bụrụnụ ndị dị ọcha, dịka ndị na-akpagharị n’ehihie. Ọ bụghị n’ịgba egwu ruru
unyi, maọbụ n’ịṅụbiga mmanya oke, ọ bụghị n’ịkwa iko, na imefe ihe ụwa oke. Ọ
bụghị n’esemokwu, na ekworo. 14 Kama yirinụ Onyenwe anyị Jisọs Kraịst dịka uwe.
Unu enyekwala ahụ unu ohere inweta ihe niile nke na-agụ ya.

# 14

### *Ndị dị ike na ndị dara mba*

1 Nabatanụ ndị okwukwe ha na-esighị ike n’etiti unu. Ma ọ bụghị n’ihi ise okwu
banyere ihe ntule nke obi. 2 Otu onye nwere okwukwe iri ihe niile, ma onye na-adịghị
ike n’okwukwe, na-eri naanị ahịhịa nri. 3 Onye ahụ na-eri ihe niile e kwesighị ileda
onye jụrụ iri ya anya. Otu a kwa, onye ahụ nke n’adịghị eri ihe niile ekwesighị ịma
onye na-eri ihe ndị a ikpe. N’ihi na Chineke anabatala onye ahụ. 4 Onye ka ị bụ i ji

---

‡ **12:20** 12:20 Ilu 25:21,22 * **13:9** 13:9 Ọpụ 20:13-15,17; Dit 5:17-19,21 † **13:9** 13:9 Lev 19:18

na-ekpe odibo onye ọzọ ikpe? Onye ọ dịrị ikpebi ma odibo ya ọ na-emezi emezi ma
ọ dịghị emezi bụ nna ya ukwu. Ma odibo ahụ aghaghị iguzosi ike n'ihi na Onyenwe
anyị pụrụ ime ka o guzosie ike.
5 Otu onye nwere ike na-eche na otu ụbọchị kacha ndị ọzọ na ịdị nsọ, onye nke
ọzọ nwekwara ike na-eche na ụbọchị niile bụ otu ihe, ma o kwesiri ka onye ọbụla
kpebiere onwe ya. 6 Onye ọbụla na-eche n'otu ụbọchị bụ nke pụrụ iche, na-eme nke
a nye Onyenwe anyị. Onye ọbụla na-eri otu ihe na-eri ya n'ihi Onyenwe anyị. Ma
onye na-adịghị eri otu ihe ahụ na-eme kwa nke a nye Onyenwe anyị. Ma na-enyekwa
Chineke ekele. 7 N'ihi na o nweghị onye n'ime anyị na-adịrị naanị onwe ya ndụ, o
nwekwaghị onye n'ime anyị na-anwụrụ naanị onwe ya ọnwụ. 8 Ọ bụrụ na anyị adịrị
ndụ, anyị dị ndụ nye Onyenwe anyị; ọ bụrụkwa na anyị anwụọ, anyị nwụrụ nye
Onyenwe anyị; ya mere ma anyị dị ndụ ma anyị nwụrụ anwụ, anyị bụ nke Onyenwe
anyị. 9 Ọ bụ n'ihi nke a ka Kraịst ji nwụọ, ma biliekwa, ka ọ bụrụ Onyenwe nke ndị
dị ndụ na nke ndị nwụrụ anwụ.
10 Ma gị onwe gị, gịnị mere i ji ekpe nwanna gị ikpe? Gịnị mekwara i ji eleda ya
anya? N'ihi na anyị niile ga-eguzo n'otu n'otu n'ihu oche ikpe Chineke. 11 E dere ya,
" 'N'ezie, dịka m na-adị ndụ,' ka Onyenwe anyị kwuru,
'ikpere niile ga-egbu n'ihu m;
ire* niile ga-ekwupụtakwa Chineke.' "†
12 E, anyị niile n'otu n'otu ga-aza ajụjụ banyere ndụ anyị n'ihu Chineke.

### *A kwadala nwa nna gị*

13 Ya mere, ka anyị kwụsị ikperịta onwe anyị ikpe, kama kpebie n'ime obi gị na
i gaghị edochiri nwanna gị ihe ga-eme ka ọ sụọ ngọngọ maọbụ ihe mgbochi n'ụzọ.
14 Dịka onye nọ n'ime Onyenwe anyị Jisọs, o doro m anya nke ọma na o nweghị ihe
ọbụla na-adịghị ọcha na nke onwe ya. Ma ọ bụrụ na onye ọbụla na-ahụta ihe ọbụla
dịka ihe na-adịghị ọcha, nye onye dị otu a, ihe ahụ adịghị ọcha. 15 Ọ bụrụkwa na
ihe ị na-eri na-ewute nwanna gị, ị naghị egosi na ị hụrụ ya n'anya. Ekwela ka nri ị
na-eri bụrụ ihe ga-ewetara nwanna gị ịla n'iyi, n'ihi na cheta na ọ bụkwa n'ihi ya ka
Kraịst jiri bịa nwụọ. 16 Ekwela ka ihe ọma gị bụrụ nke a ga-akpọ ajọọ ihe. 17 N'ihi na
alaeze Chineke abụghị oriri na ọṅụṅụ kama ọ bụ ezi omume, na udo na ọṅụ n'ime
Mmụọ Nsọ. 18 N'ihi na onye ọbụla na-efe Kraịst n'ụzọ dị otu a, na-eme ihe na-atọ
Chineke ụtọ, ụmụ mmadụ na-anabatakwa ya.
19 Ka ihe na-agụsị gị agụụ ike bụrụ ime ihe ga-eweta udo, ya na ime ihe n'ụzọ a
ga-esi mee ka e wulie ndị ọzọ elu. 20 Emebikwala ọrụ Chineke n'ihi nri; nri niile dị
ọcha, ma o kwesighị ka onye ọbụla rie ihe ga-eme ka onye ọzọ sụọ ngọngọ. 21 Ọ
ga-akara gị mma ka ị hapụ iri anụ maọbụ ịṅụ mmanya ma ọ bụkwanụ ime ihe ọbụla
ga-eme ka nwanna gị sụọ ngọngọ.
22 Ya mere, ka okwukwe i nwere banyere ihe ndị a bụrụ nke dị n'etiti gị na Chineke.
Ngọzị na-adịrị onye ọbụla nke na-adịghị ama onwe ya ikpe site n'ihe ọ nabatara.
23 Ma onye ọbụla na-eri ihe ọbụla site n'obi abụọ bụ onye ikpe mara, n'ihi na ọ jighị
okwukwe rie ya, n'ihi na ihe ọbụla a na-esiteghị n'okwukwe mee bụ mmehie.

## 15

### *Otu anyị kwesiri i si na-emeso ibe anyị*

1 Anyị onwe anyị bụ ndị dị ike kwesiri ịnagide mgbe ndị na-adịghị ike mejọrọ anyị,
ọ bụghị ime ihe ga-atọ anyị ụtọ. 2 Ka onye ọbụla n'ime anyị na-eme ihe ga-atọ onye
agbataobi ya ụtọ maka ọdịmma ha, ka o wulie ha elu. 3 N'ihi na Kraịst n'onwe ya
emeghị ihe tọrọ ya ụtọ, kama dịka e dere ya n'akwụkwọ nsọ, "Mkparị niile nke ndị

* **14:11** 14:11 Maọbụ, ọnụ † **14:11** 14:11 Aịz 45:23

na-akparị gị dakwasịrị m!”* 4 N’ihi na ihe niile edere n’oge gara aga bụ iji kuziere
anyị ihe, ka anyị nwee ike isite na ntachiobi nakwa nkasiobi, nke dị n’akwụkwọ nsọ
nwee olileanya.
5 Ka Chineke ahụ na-enye agbamume na ntachiobi nye unu mmụọ nke ịdị n’otu
n’etiti onwe unu, dịka Kraịst Jisọs nwere. 6 N’ihi na nke a ga-eme ka unu niile jikọtaa
obi unu, na olu unu n’otu, inye Chineke na Nna Onyenwe anyị Jisọs Kraịst otuto.

### *Kraịst bụ Onye Nzọpụta nke mmadụ niile*

7 N’ihi ya, nabatanụ onwe unu dị ka Kraịst nabatara unu, iji wetara Chineke otuto.
8 Ma ana m agwa unu na Kraịst aghọọla onye na-ejere ndị e biri ugwu ozi n’ihi
eziokwu nke Chineke, iji mee ka nkwa e kwere ndị bụ nna nna anyị ochie guzozie.
9 Ka ndị mba ọzọ nwe ike inye Chineke otuto maka ebere ya, dịka e dere ya,
“N’ihi nke a, aga m eto gị n’etiti ndị mba ọzọ,
aga m abụ abụ nye aha gị.”†
10 O kwukwara ọzọ sị,
“Soronụ ndị ya ṅụrịa ọṅụ unu ndị mba ọzọ.”‡
11 Ọzọkwa,
“Toonu Onyenwe anyị unu ndị mba ọzọ niile,
ka ndị niile dị iche iche jaakwa ya mma.”§
12 Ọzọkwa, Aịzaya na-asị,
“Mgbọrọgwụ Jesi ga-epulite ọzọ,
onye nke ga-ebili ịchị mba niile,
ndị mba ọzọ ga-enwekwa olileanya n’ime ya.”*
13 Ka Chineke onye bụ isi olileanya mejupụta unu n’oke ọṅụ na udo dịka unu na-
atụkwasị ya obi, ka unu si otu a bụrụ ndị olileanya ha jubigara oke site n’ike nke
Mmụọ Nsọ.

### *Ọrụ Pọl rụrụ*

14 Ụmụnna m, o doro m anya na unu onwe unu jupụtara n’ịdị mma, bụrụkwa ndị
tozuru etozu n’ihe ọmụma ruo na unu nwere ike izirịta onwe unu ihe. 15 Ma otu ọ
dị, edepụtala m ụfọdụ isi okwu n’ebe o doro anya nye unu, iji chetara unu ha ọzọ,
n’ihi amara Chineke nyere m, 16 abụ m onyeozi Kraịst Jisọs, ana m arụkwa ọrụ onye
nchụaja n’izisa oziọma Chineke, ka ofufe ndị mba ọzọ bụrụ aja Chineke ga-anara nke
ọma, nke Mmụọ Nsọ dokwara nsọ.
17 N’ihi ya, ana m anya isi n’ime Kraịst Jisọs banyere ọrụ m na-arụrụ Chineke.
18 Agaghị m anwa anwa kwuo okwu banyere ihe ọzọ karịakwa ihe ndị ahụ Kraịst
rụpụtara site n’aka m, bụ idubata ndị mba ọzọ, ime ka ha rube isi nye Chineke, site
n’okwu ọnụ m na ihe m rụrụ, 19 nke pụtara ihe n’ọrụ ebube na ihe ịrịbama site
n’ike nke Mmụọ nke Chineke. Ya mere, site na Jerusalem ruo Ilirikom, ekwusaala
m n’ụzọ zuru ezu, oziọma Kraịst. 20 Ọchịchọ obi m mgbe niile bụ ikwusa oziọma
ahụ n’ebe ọbụla ndị mmadụ na-anụtụbeghị ihe banyere Kraịst, ka m ghara ịbụ onye
na-ewukwasị ihe n’elu ntọala nke onye ọzọ tọrọ, 21 ma dịka e dere ya,
“Ndị a na-agwaghị ihe banyere ya ga-ahụ,
ndị a ka anụbeghị, ga-aghọtakwa.”†
22 N’ezie, nke a bụ ihe mere m na-ejibeghị nwee ohere ịbịakwute unu.

### *Nzube Pọl*

23 N’ihi na ọ dịla ọtụtụ afọ kemgbe m bidoro na-enwe mmasị m ga-abịa hụ unu
anya, ma ugbu a, ọrụ m nwere n’akụkụ a agwụla, oge eruola mgbe m ji ahapụ ebe a.

---

* **15:3** 15:3 Abụ 69:9 † **15:9** 15:9 2Sa 22:50; Abụ 18:49 ‡ **15:10** 15:10 Dit 32:43 § **15:11** 15:11 Abụ 117:1
* **15:12** 15:12 Aịz 11:10 † **15:21** 15:21 Aịz 52:15

24 N'ihi na nzube m bụ ijeru obodo Spen. Mgbe ọbụla m ga-agakwa, aga m akwụsị ịhụ
unu na elekwa anya na unu ga-edupụ m n'ije m, mgbe mụ na unu jiri ọṅụ nọrọtụ nwa
mgbe nta. 25 Ma ugbu a, ana m aga Jerusalem ebe m na-ejere ndị nsọ ozi. 26 N'ihi
na ọ dị ndị Masidonia na Akaịa ezi mma iwere n'ụfọdụ n'ihe ha nwere nyere ndị
ogbenye nọ n'etiti ndị nsọ nọ na Jerusalem aka. 27 Ha ji ọṅụ mee nke a, n'ezie ha ji
ha ụgwọ i mere ha otu a. N'ihi na ọ bụrụ na ndị mba ọzọ so ha keta oke na ngọzị
nke Mmụọ Nsọ, ha ji ụgwọ isite n'akụnụba ha nwere kenye ha. 28 Ya mere, mgbe m
mezuru nke a, hụkwa na ha anatala onyinye ahụ a tụkọtara ha, aga m abata ịhụ unu
mgbe m na-aga Spen. 29 Amaara m na mgbe m ga-abịakwute unu, aga m abịa n'ime
ozuzu oke ngọzị nke Kraịst.
30 Esi m n'aka Onyenwe anyị Jisọs Kraịst na ịhụnanya anyị nwere n'ime Mmụọ Nsọ
na-arịọ unu, ụmụnna m, ka unu soro m na-ekpe ekpere, na-echetanụ m n'ekpere unu
n'ihu Chineke. 31 Ka a dọpụta m n'aka ndị na-ekweghị ekwe nọ na Judịa. Ka ọrụ m
maka Jerusalem bụrụ ihe ndị nsọ nọ ebe ahụ ga-anabata. 32 Ka ọ ga-abụ site n'uche
Chineke, aga m abịakwute unu n'ọṅụ kurukwa ume ndụ na nnọkọ mụ na unu. 33 Ka
Chineke ahụ na-enye udo, nọnyere unu niile. Amen.

# 16

*Ozi ekele*

1 Ana m eme ka unu mata nwanna anyị nwanyị, Fibi, onye na-ejere nzukọ ozi na
chọọchị dị n'obodo Senkria. 2 Biko nabatanụ ya n'ime Onyenwe anyị dịka o kwesiri
ndị ya. Nyekwaranụ ya aka n'ụzọ niile unu nwere ike, n'ihi na o nyerela mụ na ọtụtụ
ndị ọzọ aka.

3 Keleerenụ m Prisila na Akwila ndị mụ na ha na-arụkọ ọrụ Kraịst Jisọs.* 4 Ndị a
atụghị egwu ọnwụ n'ihi ndụ m. Ọ bụghị naanị mụ onwe m na ekele ha, kama nzukọ
Kraịst ndị dị na mba ọzọ niile na-ekelekwa ha.
5 Biko kelekwaaranụ m ndị niile na-ezukọ n'ụlọ ha.
Keleerenụ m ezi enyi m Epinetus. Nwoke a bụ onye buru ụzọ nabata Kraịst n'obi
ya, n'akụkụ Eshịa niile.
6 Keleerenụ m Meri, onye rụsịrị ọrụ ike n'etiti unu.
7 Ana m ekelekwa Andronaikọs na Juniya, ndị ikwu m, ndị e tinyekọtara mụ na ha
n'ụlọ mkpọrọ. Ndị ozi niile na-asọpụrụ ha. Ha bukwa m ụzọ kwere na Kraịst.
8 Kelekwaaranụ m Ampliatọs onye m hụrụ n'anya n'ime Onyenwe anyị.
9 Keleenụ Ọbanọs, onye anyị na ya na-arụkọ ọrụ Kraịst, na Stakis ezi enyi m.
10 Otu a kwa, keleenụ Apelis onye anwapụtarala nguzosike ya n'ime Kraịst.
Keleenụ ndị ezinaụlọ Aristobulọs.
11 Keleerenụ m Herodian onye ikwu m.
Keleekwanụ ndị bi n'ụlọ Nasisọs. Ha bụ ndị nke Chineke.
12 Keleekwanụ Traịfina na Traịfosa ndị a na-arụsị ọrụ Onyenwe anyị ike.
Keleekwanụ Pesis, onye m hụrụ n'anya na onye na-arụsị ọrụ Onyenwe anyị ike.
13 Keleere m Rufọs onye Onyenwe anyị n'onwe ya họpụtara, na nne ya, onye na-
emekwara m ka nne.†
14 Ana m ekele unu Asinkritọs, Flegọn, Hamis, Patrobas, Hamis na ụmụnna anyị
niile ndị ha na ha nọ.
15 Keleerenụ m Filologọs, Juliya, Nerus na nwanne ya nwanyị. Keleekwanụ Olimpas
na ndị nsọ niile ha na ha nọ.
16 Werenụ isurita ọnụ dị nsọ, kelerịta onwe unu.

* **16:3** 16:3 Ọrụ 18:18 na 2Tm 4:19 † **16:13** 16:13 Mak 15:21

Nzukọ Kraịst niile nọ n’ebe a na-ekelekwa unu.

*Ịdọ aka na ntị ikpeazụ*

17 Ugbu a, ụmụnna m, ana m arịọ ka unu wezuganụ onwe unu site n’ebe ndị ọrụ
ha bụ iweta nkewa, na-etinye ihe mgbochi n’ụzọ unu, na-eme ka okwukwe ndị ọzọ
hapụ iguzosi ike n’ihi ozizi ha na-ezi nke megidere ihe ahụ niile e ziri unu. 18 Ndị dị
otu a abụghị ndị ozi nke Onyenwe anyị Jisọs Kraịst. Ha na-arụ naanị n’ihi akpa ha.
Ha maara otu e si eji ire ụtọ edufu ndị obi ha na-esighị ike. 19 Mmadụ niile anụla
maka nrube isi unu na-erubere oziọma ahụ. Ana m aṅụrị ọṅụ n’ihi unu. Achọrọ m
ka unu bụrụ ndị maara ihe banyere ezi ihe, ka unu bụrụ ndị na-amaghị ihe n’ihe
banyere ihe ọjọọ.

20 Mgbe na-adịghị anya, Chineke nke udo ga-azọpịa ekwensu n’okpuru ụkwụ unu.

Ka amara Onyenwe anyị Jisọs dịnyere unu.

21 Timoti onye so m na-arụkọ ọrụ, na Lusiọs, na Jesin na Sosipata, ndị ikwu m
na-ekele unu.‡
22 Mụ onwe m bụ Tatiọs, onye dere akwụkwọ a, na-ekelekwa unu n’aha Onyenwe
anyị.
23 Gaiọs, onye na-ele mụ na nzukọ niile ọbịa n’ebe a, na-ekelekwa unu. Otu a kwa,
ndị niile na-ezukọ n’ụlọ ya na-ekelekwa unu.
Erastọs, onye na-elekọta ihe ndị obodo a na nwanna anyị nwoke Kwatọs, na-ekelekwa unu.
24 Ka amara Onyenwe anyị Jisọs Kraịst dịnyeere unu niile. Amen.§

*Ekpere mmechi*

25 Ana m enyefe unu n’aka onye ahụ pụrụ ime ka unu guzosie ike site n’oziọma
m kwusaara unu, nakwa nkwupụta nke Jisọs Kraịst, dịka mkpughe nke ihe omimi
ahụ e zoro ezo kemgbe ọtụtụ ọgbọ ndị gara aga siri dị. 26 Ma ugbu a, e kpugheela
ya, mee ka ọ pụta ìhè site n’ihe ndị amụma dere n’akwụkwọ nsọ, ka ndị mba ọzọ
niile maara ya dịka ihe Chineke ebighị ebi nyere n’iwu ya si dị, ka ha mụta irube isi
nke na-esite n’okwukwe. 27 Ka otuto na nsọpụrụ dịrị Chineke, onye naanị ya bụ onye
amamihe, ruo mgbe ebighị ebi, site na Jisọs Kraịst. Amen.

‡ **16:21** 16:21 Ọrụ 13:1 na 16:1 nakwa Ọrụ 17:15 § **16:24** 16:24 Ụfọdụ akwụkwọ na-edebanye n’amaokwu a Ka amara Onyenwe anyị Jisọs Kraịst dịnyeere unu niile. Amen.

# 1 Ndị Kọrint

1 Pọl, onye a kpọrọ ịbụ onyeozi Jisọs Kraịst site n'ọchịchọ Chineke, na nwanna anyị
nwoke Sostenis,

2 Ọ bụ unu nzukọ Chineke dị na Kọrint ka a na-edere akwụkwọ a, ndị e doro nsọ
n'ime Kraịst Jisọs, na ndị a kpọrọ ibi ndụ dị nsọ, tinyere ndị ahụ niile na-akpọku aha
Onyenwe anyị Jisọs Kraịst, onye bụ Onyenwe ha na Onyenwe anyị:

3 Ka amara na udo nke sitere na Chineke Nna anyị, na Onyenwe anyị Jisọs Kraịst
dịrị unu.

### *Inye Ekele*

4 Ana m ekele Chineke ekele n'ihi onyinye amara niile o nyere unu site na Kraịst
Jisọs. 5 N'ihi na e emeela ka unu baa ụba n'ụzọ niile, n'ime ya, ma n'okwu unu ma
na nghọta unu. O meekwala ka unu nwee nghọta zuru ezu banyere eziokwu niile.
Ọ na-emekwa ka unu nwee ike na-ekwupụta okwu banyere oziọma ya. 6 N'ihi na
ịgba akaebe banyere Kraịst pụtara ihe, guzosiekwa ike na ndụ unu. 7 Otu ihe si dị,
ọ dịghị onyinye mmụọ fọdụrụ unu nke unu na-enweghị, ka unu nọrọ na-eche mgbe
Chineke ga-egosipụta Onyenwe anyị Jisọs Kraịst. 8 Ọ ga-eme ka unu dị ike ruo na
mgbe ikpeazụ, meekwa ka unu bụrụ ndị na-enweghị ịta ụta n'ụbọchị Onyenwe anyị
Jisọs Kraịst. 9 Chineke, onye kpọbatara unu ka unu na Ọkpara ya bụ Onyenwe anyị
Jisọs Kraịst, na-enwe mmekọrịta kwesiri ntụkwasị obi.

### *Ịkpa iche iche dị na Chọọchị*

10 Ụmụnna m, eji m aha Onyenwe anyị Jisọs Kraịst na-arịọ unu, ka unu niile na-
ekwekọrịta n'ihe ọbụla unu kwuru, ka nkewa ọbụla gharakwa ịbata n'etiti unu. Ana
m arịọkwa unu ka unu dị n'otu, n'echiche obi unu na n'izu unu. 11 N'ihi na ụmụnna
m, esi m n'ọnụ ndị si n'ezinaụlọ Kloyi bịara n'ebe a nụta na esemokwu dị n'etiti unu.
12 Anụrụ m na ịkpa iche iche abatala n'etiti unu. Na ụfọdụ n'ime unu na-asị, "Abụ
m onye na-eso Pọl"; ndị ọzọ na-asịkwa, "Abụ m onye na-eso Apọlọs"; ndị ọzọkwa
na-asị, "Ana m eso Sefas"; ma ndị ọzọ na-asịkwa, "Ọ bụ Kraịst ka m na-eso."
13 Kraịst, ọ dị abụọ? Ọ bụ Pọl ka a kpọgidere n'obe n'ihi unu? Ọ dị onye e mere
baptizim n'aha Pọl? 14 Ana m ekele Chineke ekele na ọ dịghị onye ọbụla n'ime unu
m mere baptizim, ewezugakwa Krispọs na Gaiọs. 15 Ya mere, ọ dịghị onye n'ime unu
ga-asị na e mere ya baptizim n'aha m. 16 (Ahaa! Emekwara m Stefanas na ezinaụlọ ya
baptizim. Ewezuga ndị a, amaghị m ma m ga-echetakwa onye ọzọ m mere baptizim
n'onwe m.) 17 N'ihi na Kraịst ezighị m ime ndị mmadụ baptizim. O zitere m iji okwu
dị mfe kwusaa oziọma ya. Ọ bụghị iji okwu oke mmụta na amamihe nke mmadụ ka
ike nke obe Kraịst ghara ịbụ ihe efu.

### *Ezi amamihe*

18 N'ihi na okwu maka obe bụ ihe nzuzu nye ndị na-efu efu, ma nye anyị ndị a
na-azọpụta, ọ bụrụ anyị ike nke Chineke. 19 E dere ya,
"Aga m emebi amamihe ndị maara ihe.
Aga m emekwa ka oke nghọta nke ndị maara ihe bụrụ ihe efu."*
20 Olee ebe ndị oke amamihe nọ? Olee ebe ndị ode akwụkwọ nọ? Olee ebe ndị
oke ịrụ ụka nke oge a nọ? Chineke o mebeghị ka amamihe nke ụwa a bụrụ ihe efu?

---

* **1:19** 1:19 Aịz 29:14

21 Ma ebe ọ bụ site n’amamihe nke Chineke, ụwa enweghị ike ịmata Chineke site
na amamihe nke ya, ọ dị Chineke ezi mma isite n’oziọma nke a na-ekwusa nke ndị
mmadụ na-akpọ ihe nzuzu zọpụta ndị kweere. 22 Ndị Juu chọrọ ịhụ ihe ịrịbama,
ndị Griik na-achọkwa amamihe. 23 Ma anyị onwe anyị na-ekwusa Kraịst, onye a
kpọgburu n’obe, onye bụ ihe mgbochi n’ebe ndị Juu nọ, ma na ntị ndị mba ọzọ, ọ
dị ka okwu nzuzu. 24 Ma nye ndị niile a kpọrọ, ma ndị Juu ma ndị Griik, Kraịst bụ
ike nke Chineke bụrụkwa amamihe nke Chineke. 25 N’ihi na nzuzu Chineke dị mma
karịa amamihe niile nke mmadụ, adịghị ike Chineke dịkwa ukwuu karịa ike niile
nke mmadụ.
26 Ụmụnna m, chetakwanụ ihe unu bụ mgbe a kpọrọ unu. Chetanụ na ọ bụ ole na
ole n’ime unu bụ ndị maara ihe n’usoro ogugo mmadụ, ndị dị ike, na ndị a maara
aha ha n’obodo. 27 Ma lee na ọ bụ ihe ahụ ụwa gụrụ dịka ihe nzuzu, ka Chineke họrọ
iji mee ka ihere mee ndị amamihe. Ọ bụkwa ihe ha gụrụ dịka ihe na-adịghị ike ka
Chineke họọrọ iji mee ka ihere mee ndị dị ike. 28 N’ihi na Chineke họọrọ ihe dịkarịrị
ala nke ụwa, na ihe a jụrụ ajụ, jiri ha mee ka ihe ụwa chere na ọ baghị uru, bụrụ ihe
bara uru. 29 Ka mmadụ ọbụla ghara ịnya isi n’ebe Chineke nọ. 30 Ma ọ bụ n’ihi ya ka
unu ji nọrọ n’ime Kraịst Jisọs, onye ghọrọ isi amamihe nye anyị site na Chineke, nke
bụ ezi omume anyị na nke ido anyị nsọ, na onye mgbapụta anyị. 31 Ya mere, dịka e
dere ya n’akwụkwọ nsọ, “Onye ọbụla na-anya isi, ya nyaa n’ime Onyenwe anyị.”†

# 2

*Oziọma banyere Kraịst na obe ya*

1 Ụmụnna m, mgbe m bịakwutere unu na mbụ, ejighị m mmụta m na oke okwu
megharịa unu anya banyere ihe omimi niile nke okwu Chineke. 2 N’ihi na ekpebiri
m na naanị ihe m ga-ama n’etiti unu bụ naanị ihe banyere Jisọs Kraịst na mkpọgbu
a kpọgburu ya n’elu obe. 3 Abịakwutere m unu n’ọnọdụ adịghị ike, oke ụjọ na ahụ
ịma jijiji. 4 Okwu m na ihe m kwusara abịakwaghị dịka okwu ire ụtọ na nke oke
mmụta, ime ka ndị mmadụ kwere, kama ha bịara n’ụzọ igosi ọrụ nke Mmụọ Nsọ
na ike ya. 5 Ka okwukwe unu ghara ịdabere n’amamihe mmadụ, kama ka ọ dabere
n’ike Chineke.

*Amamihe Chineke*

6 Ma otu ọ dị, anyị na-ekwu okwu amamihe n’ebe ndị tozuru oke nọ. Ma ọ bụghị
amamihe nke oge a, maọbụ nke ndị na-achị ụwa taa, bụ ndị na-aghaghị ịla n’iyi.
7 Kama anyị na-ekwu okwu amamihe nke Chineke n’ụzọ dị omimi, bụ amamihe
Chineke zonarịrị ụmụ mmadụ site na mbụ, nke Chineke kara aka tupu e kee ụwa
na a ga-ekpughe ya n’oge a maka iwetara anyị otuto. 8 O nweghị onye ọbụla n’ime
ndị ọchịchị nke ọgbọ a ghọtara ihe banyere nzube a. N’ihi na ọ bụrụ na ha maara
ya, ha agaraghị akpọgbu Onyenwe otuto ahụ n’obe. 9 Ma dịka e dere ya,
“Ihe ahụ anya mmadụ na-ahụbeghị,
ihe ahụ ntị mmadụ na-anụbeghị,
ihe ahụ mmadụ na-echebeghị n’obi ya,
bụ ihe Chineke kwadoro, debere ndị niile hụrụ ya n’anya.”*
10 Ma Chineke e kpugherela anyị ihe omimi ndị a site na Mmụọ Nsọ ya.
Mmụọ Nsọ bụ onye na-enyochapụta ihe omimi na ihe nzuzo niile dị Chineke n’obi.
11 Ọ dịghị onye ọbụla pụrụ ịma ihe onye ọzọ na-eche n’obi ya. Ọ bụ naanị mmụọ
nọ n’ime onye ahụ bụ onye mara ihe niile banyere ya. Ọ dịkwaghị onye pụrụ ịmata
ihe Chineke na-eche n’obi ya, ma ọ bụghị naanị Mmụọ nke Chineke. 12 Ma mmụọ
nke anyị natara abụghị mmụọ nke ụwa, kama ọ bụ Mmụọ nke sitere na Chineke, ka

† **1:31** 1:31 Jer 9:24 * **2:9** 2:9 Aịz 64:4

anyị nwee ike ịghọta onyinye amara niile Chineke nyere anyị. [13] Nke a bụ ihe anyị
na-ekwu, ọ bụghị n’okwu a kuziiri anyị site n’amamihe mmadụ, kama site n’okwu
nke Mmụọ kuziri anyị; anyị ji okwu nke Mmụọ na-akọwa eziokwu nke mmụọ. [14] Ma
mmadụ ahụ Mmụọ na-adịghị n’ime ya adịghị anabata ihe ndị ahụ sị na Mmụọ nke
Chineke bịa, n’ihi na ha bụ nzuzu n’ebe onye ahụ nọ. Ọ naghị aghọta ha, n’ihi na
ha bụ ihe a na-aghọta naanị site n’ike nke Mmụọ.† [15] Onye ahụ Mmụọ Nsọ na-achị
achị na ndụ ya, nwere ike ịghọta ihe ọbụla ma ya onwe ya bụ onye mmadụ ọbụla
na-enweghị ike ịghọta. [16] N’ihi na,

“Onye maara uche Onyenwe anyị
ruo na ọ ga-ezi ya ụzọ?”‡

Ma anyị onwe anyị nwere uche nke Kraịst.

# 3

*Ndị ozi Chineke*

[1] Ụmụnna m, o siiri m ike ịgwa unu okwu dịka a ga-asị na unu bụ ndị tozuru
etozu n’ime Mmụọ, kama agwara m unu okwu dịka ndị anụ ahụ ha na-achị, ndị bụ
ụmụntakịrị n’ime Kraịst. [2] Ejighị m nri siri ike na-azụ unu, kama eji m mmiri ara
na-azụ unu, n’ihi na unu apụghị iri nri dị ike. N’ezie, ọ bụladị ugbu a, unu erubeghị
iri nri siri ike. [3] N’ihi na unu na-adị ndụ dịka ndị bi n’ụwa, ebe ọ bụ na ekworo
na esemokwu na-adị n’etiti unu, nke a o zipụtaghị na unu na-eme dịka ndị ụwa,
dịka ndị mmadụ efu nọ n’ụwa. [4] N’ihi na mgbe otu onye na-asị, “Abụ m nke Pọl,”
onye ọzọ na-asịkwa, “Abụ m nke Apọlọs,” o gosighị na unu na-akpa agwa dịka ndị
bi n’ụwa?

[5] Onye bụ Apọlọs? Onye bụ Pọl? Ọ bụ na anyị abụghị ndị na-eje ozi, ndị wetaara
unu oziọma unu kweere n’ime ya. Ọrụ dị iche iche anyị rụrụ bụkwa nke anyị rụrụ
dịka Onyenwe anyị si kenye anyị ọrụ ahụ. [6] Ọ bụ m kụrụ mkpụrụ ahụ, Apọlọs bụkwa
onye gbara mkpụrụ ahụ mmiri, maọbụ Chineke mere ka o too. [7] Onye kụrụ mkpụrụ
ahụ na onye gbara mkpụrụ ahụ mmiri adịghị mkpa. Ọ bụ Chineke onye mere ka ha
too dị mkpa. [8] O nweghị ihe dị iche n’etiti mụ bụ onye kụrụ mkpụrụ ahụ na Apọlọs
onye gbara mkpụrụ ahụ mmiri. Ọ bụ otu ihe ahụ ka anyị bu n’obi. Onye ọbụla
ga-anata ụgwọ ọrụ ya. [9] Anyị so Chineke na-arụ ọrụ. Unu onwe unu bụkwanụ ubi
Chineke bụrụkwa ụlọ ya a na-ewuli elu.

[10] Eji m onyinye amara Chineke nyere m tọọ ntọala ọrụ a, dịka ezi onye ọka n’iwu
ụlọ, onye ọzọ amalitela iwukwasị ụlọ n’elu ntọala ahụ. Ma ka onye ọbụla kpachapụ
anya otu o si ewu. [11] O nweghị onye ọzọ pụrụ ịtọ ntọala karịrị ntọala ahụ e bururị
ụzọ tọọ. Jisọs Kraịst bụkwa ntọala ahụ. [12] Ma ọ bụrụ na mmadụ ọbụla na-eji ọlaedo
maọbụ ọlaọcha, ma ọ bụkwanụ nkume dị oke ọnụahịa, osisi maọbụ okporo ọka, ma
ọ bụkwanụ ahịhịa na-ewukwasị n’elu ntọala ahụ, [13] ọrụ onye ọbụla ga-egosipụta ihe
ọ bụ, n’ihi na Ụbọchị ahụ ga-eme ka ọ pụta ìhè. A ga-eji ọkụ kpughee ya n’ihi na
ọ bụ ọkụ ka a ga-eji nwapụta ụdị ọrụ ọ bụ mmadụ ọbụla rụrụ. [14] Ọ bụrụ na ọkụ
eruchapụghị ihe ọbụla mmadụ ji wuo ụlọ ya n’elu ntọala ahụ, onye ahụ ga-anata
ụgwọ ọrụ. [15] Ma ọ bụrụ na ọkụ erechapụ ihe ọbụla mmadụ ji rụọ ọrụ ya, ọrụ ọ rụrụ
ga-ala n’iyi, ma a ga-azọpụta onye ahụ, ma ọ ga-adị ka a ga-asị na e si n’ụlọ na-ere
ọkụ zọpụta ya.

*Ụlọnsọ Chineke*

[16] Ọ bụ na unu aghọtaghị na unu bụ ụlọnsọ na Mmụọ Nsọ Chineke bi n’ime unu?
[17] Ọ bụrụ na onye ọbụla emebie ụlọnsọ Chineke, Chineke ga-emebikwa onye ahụ.
N’ihi na ụlọ Chineke bụ ụlọ dị nsọ, unu bụkwa ụlọ ahụ.

† **2:14** 2:14 Mmụọ n’ebe a, na-ekwu banyere Mmụọ nke si na Chineke. ‡ **2:16** 2:16 Aịz 40:13

[18] Ka onye o bụla ghara ịghọgbu onwe ya, ọ bụrụ na onye ọbụla n’ime unu na-eche
n’obi ya na ya bụ onye maara ihe, dịka ihe ọmụma nke ụwa si dị, ọ ga-akara onye
ahụ mma ime onwe ya onye nzuzu, ka o nwe ike bụrụ onye maara ihe. [19] N’ihi na ihe
ahụ ụwa na-eche na ọ bụ ezi ịma ihe bụ nzuzu n’anya Chineke. N’ihi na e dere ya, “Ọ
na-ejide ndị oke amamihe n’aghụghọ ha niile.”* [20] Ọzọkwa, “Onyenwe anyị maara
echiche obi mmadụ, mara na amamihe ya bụ ihe efu.”† [21] N’ihi nke a, ka onye ọbụla
ghara ịnya isi banyere mmadụ. Ihe niile bụ nke gị. [22] Ma ọ bụ Pọl, maọbụ Apọlọs,
maọbụ Sefas, maọbụ ụwa a, maọbụ ndụ, maọbụ ọnwụ, maọbụ ihe dị taa na ihe niile
ga-adị n’oge dị n’ihu, ha bụ nke unu. [23] Unu bụkwa nke Kraịst, Kraịst bụkwa nke
Chineke.

# 4

*Ezi ndị ozi Kraịst*

[1] Achọrọ m ka unu na-ele anyị anya dịka ndị na-ejere Kraịst ozi, ndị e nyefere ihe
omimi Chineke n’aka. [2] Ma ihe dị mkpa bụ na o kwesiri ka ndị na-elekọta ihe ọbụla
bụrụ ndị kwesiri ntụkwasị obi. [3] Anaghị m echegbu onwe m banyere ihe unu na-eche
gbasara m maọbụ ihe a na-ekpe n’ụlọikpe nke mmadụ. N’ezie, anaghị m ekpekwa
onwe m ikpe. [4] O doro m anya na akọnuche m adịghị ama m ikpe, ma nke a egosighị
na m bụ onye ikpe na-amaghị. Ọ bụ Onyenwe anyị naanị ka ọ dịrị ikpe m ikpe. [5] Ya
mere, unu ekpela ikpe tupu oge ya eruo, cherenụ ruo mgbe Onyenwe anyị n’onwe ya
ga-abịa. Ọ ga-eme ka ihe niile zoro ezo n’ọchịchịrị pụta ìhè. Ọ ga-agbakwa ọchịchọ
nzuzo niile nke dị n’obi n’anwụ. Mgbe ahụ, onye ọbụla n’otu n’otu ga-anatakwa
otuto ruuru ya site n’aka Chineke.

[6] Ugbu a ụmụnna m ejiri m onwe m na Apọlọs mara unu atụ maka ọdịmma nke
unu, ka unu nwee ike isite n’aka anyị mụta ihe site n’ihe ahụ e dere bụ nke na-asị,
“Unu agafekwala ihe e dere n’akwụkwọ nsọ.” Ka onye ọbụla n’ime unu hapụ iji otu
onye nyaa isi ma leda ndị ọzọ anya. [7] Onye gwara gị na ị pụrụ iche n’etiti mmadụ ndị
ọzọ? Ọ dị ihe ọbụla i nwere nke abụghị ihe ị natara anata? Ọ bụ gịnị ka i nwere nke
ị na-anataghị anata? Ma ọ bụrụ na i natara ya, gịnị mere i ji anya isi dịka a ga-asị na
ị nataghị ya anata?

[8] Ma ugbu a, ihe niile zuru unu oke. Ugbu a, unu abụrụkwala ndị ọgaranya. Unu
abụrụla eze ma anyị esoghị unu. N’ezie, ọ gaara atọ m ụtọ ma a sị na unu anọrọla
n’ocheeze unu, ka anyị nwe ike soro unu bụrụ eze. [9] Ọ na-adị m nnọọ ka Chineke o
weere anyị bụ ndị ozi mee anyị ndị dịkarịsịrị ala, ndị a na-echeta naanị mgbe ihe niile
na-agwụsị agwụsị, dịka ndị a mara ikpe ọnwụ. N’ihi na-akpọpụtara anyị n’ihu ọha
mmadụ mee anyị ihe nlere anya nye ụmụ mmadụ na ndị mmụọ ozi. [10] Anyị aghọọla
ndị nzuzu n’ihi Kraịst, ma unu onwe unu bụ ndị maara ihe n’ime Kraịst. Anyị bụ
ndị na-adịghị ike ma unu dị ike. Anyị bụ ndị a jụrụ ajụ na ndị a na-eleda anya, ma
unu bụ ndị a na-asọpụrụ. [11] Tutu ruo ugbu a, anyị na-ebu ọnụ nọrọkwa n’akpịrị ịkpọ
nkụ. Anyị enweghị ezigbo uwe anyị ji achụ oyi. Ndị mmadụ na-emeso anyị mmeso
ọjọọ, ma anyị enweghị ebe obibi nke aka anyị. [12] Aka anyị ka anyị ji arụpụtara onwe
anyị ihe anyị na-eri. Mgbe ndị mmadụ na-abụ anyị ọnụ, anyị na-agọzi ha. Mgbe ha
na-ata anyị ahụhụ, anyị nọ na-enwe ndidi. [13] Anyị na-eji okwu dị nro na-azaghachi
ndị na-ekwujọ anyị. Tutu ruo ugbu a, a na-emeso anyị mmeso dịka anyị bụ unyi ndị
ụwa na-azachapụ, dịka ihe a jụrụ ajụ n’anya ndị ụwa.

*Arịrịọ*

[14] Anaghị m edere unu ihe ndị a ka ihere mee unu, kama ana m ede ya ịdụ unu
ọdụ, na ịdọ unu aka na ntị, dịka ụmụ m hụrụ n’anya. [15] Ọ bụ ezie na unu nwere

* **3:19** 3:19 Job 5:13 † **3:20** 3:20 Abụ 94:11

ọtụtụ ndị nche, ma unu enweghị karịa otu nna. N'ihi na ọ bụ m bụ nna unu n'ime
Kraịst Jisọs, site n'oziọma ahụ m wetaara unu. [16] Ya mere, ana arịọ m unu, ka unu
na-eṅomi ndụ m. [17] N'ihi nke a, ana m ezitere unu Timoti, bụ ezi nwa m onye m hụrụ
n'anya, nke kwesiri ntụkwasị obi n'ime Onyenwe anyị. Ọ ga-echetara unu otu m si
e bi ndụ n'ime Onyenwe anyị Kraịst Jisọs, dịka m na-akụzi ya n'ebe niile na nzukọ
niile.
[18] Ụfọdụ n'ime unu amalitela ịfụlị onwe ha elu, chee na mụ enweghị ike ịbịakwute
unu ọzọ. [19] Ma site n'ike Onyenwe anyị, aga m abịa ịhụ unu anya n'oge na-adịghị
anya. Mgbe m bịara, aga m achọpụta ihe ndị ahụ na-akpa nganga pụrụ ime, ọ bụghị
ihe ha nwere ike ikwu. [20] N'ihi na alaeze Chineke abụghị ihe okwu ọnụ kama ọ bụ
ngosipụta ịdị ike. [21] Ya mere, unu ka ọ dịrị ịhọrọ nke unu chọrọ. Unu chọrọ ka m jiri
ụtarị bịakwute unu, ka ọ bụ ka m jiri obi dị umeala na mmụọ nke ịhụnanya bịa?

# 5

*Mmehie ọjọọ*

[1] Ọ bụ akụkọ doro anya na-enwe ịkwa iko n'etiti unu, ụdị nke ndị na-ekweghị ekwe
na-apụghị ime, ka unu na-eme. Otu onye n'ime ụlọ unu kpọọrọ nwunye nna ya, ha
abụọ e biri. [2] Ma unu na-akpa nganga? Ihe unu kwesiri ime ọ bụghị ịkwa akwa na
iru ụjụ, na ime ka onye mere ihe dị otu a si n'ọgbakọ unu pụọ? [3] Ọ bụ ezie na mụ
na unu anọghị ugbu a, ma mụ na unu nọkwa n'ime mmụọ. Amaala m rịị onye ahụ
ikpe dịka a ga-asị na mụ na unu nọ. [4] Eji m aha Onyenwe anyị ma ya ikpe. Mgbe unu
zukọrọ, aga m anọnyere unu na mmụọ. N'oge ahụ, site n'ike Onyenwe anyị Jisọs,
[5] werenụ nwoke a nyefee n'aka ekwensu, ka ọ taa anụ ahụ ya ahụhụ, ka e nwee ike
ịzọpụta mmụọ ya, mgbe Onyenwe anyị lọghachiri.
[6] Ịnya isi unu ezighị ezi. Ọ bụ unu amaghị na nwantakịrị yiist a gwakọrọ n'ụtụ ọka
na-eme ka o koo? [7] Wepụnụ ihe n'eko achịcha a nọ n'etiti unu, ka unu bụrụ ndị dị
ọhụrụ, na ndị dị ọcha. N'ihi na a chụọlarị Kraịst, bụ aja nwa atụrụ, nke Ngabiga
anyị. [8] N'ihi ya ka anyị mee mmemme a na-ejighị ihe na-eko achịcha nke bụ ihe ọjọọ
na obi ọjọọ, kama ka anyị jiri achịcha na-ekoghị eko nke bụ obi ọcha na eziokwu.
[9] E dere m unu n'ime akwụkwọ ozi m, ka unu na ndị na-akwa iko ghara inwe
mmekọ ọbụla. [10] Ọ bụghị ihe gbasara ndị nke ụwa ndị na-akwa iko, maọbụ ndị
anya ukwu, na ndị na-apụnara mmadụ ihe, maọbụ ndị na-ekpere arụsị. Ọ bụrụ
otu a, ọ pụtara na unu ga-esi n'ụwa pụọ. [11] Ma ugbu a, a na m edere unu ka unu
na onye ọbụla nke na-akpọ onwe ya nwanna nwoke maọbụ nwanna nwanyị ghara
imekọ ihe, ma ọ bụrụ na ọ na-ebi ndụ ịkwa iko, maọbụ nwee anya ukwu, maọbụ
na-ekpere arụsị, onye na-ekwutọ ibe ya, onye na-aṅụbiga mmanya oke, maọbụ onye
na-apụnara mmadụ ihe. Unu na ndị dị otu a erikọla nri.
[12] Kedụ nke gbasara m ikpe ndị na-esoghị na chọọchị ikpe? Ọ bụghị ndị nọ n'ime ka
unu ga-ekpe ikpe. [13] Chineke ga-ekpe ndị nọ n'ezi ikpe. "Chụpụnụ onye ajọọ mmadụ
ahụ site n'etiti unu."*

# 6

*Ọ dị njọ ịga n'ụlọikpe*

[1] Mgbe onye ọbụla n'etiti unu nwere esemokwu megide ibe ya, unu ọ pụrụ i buru
okwu ahụ gaa n'ụlọikpe ka ndị ajọ omume kpeere unu ikpe, karịa ịga ya n'ihu ndị
nsọ? [2] Ọ bụ na unu amabeghị na ọ bụ ndị nsọ ga-ekpe ụwa ikpe? Ọ bụrụkwa na
unu ga-ekpe ụwa ikpe, ọ pụtara na unu etozughị oke idozi okwu ntakịrị dapụtara
n'etiti unu? [3] Ọ bụ na unu amataghị na ọ bụ anyị ga-ekpe ndị mmụọ ozi ikpe? Gịnị

* **5:13** 5:13 Dit 17:7; 19:19; 21:21; 22:21,24; 24:7

ga-emekwa ka anyị ghara idozi okwu ụka dịkarịsịrị nta nke ndụ a? 4 Ya mere, ọ bụrụ
na esemokwu dị otu a adapụta n’etiti unu, unu ga-ewere okwu ahụ jekwuru ndị ibi
ndụ ha na-akpọ nzukọ ihe efu ka ha kpee ya? 5 Ana m ekwu nke a ime ka ihere mee
unu. Ọ ga-abụ na e nweghị ike ịchọta ọ bụladị otu onye maara ihe n’etiti unu, onye
ga na-ekpe ikpe dị n’etiti nwanna na ibe ya? 6 Ma lee, nwanna na-akpọrọ nwanna ya
aga ụlọ ikpe, ka ndị na-ekweghị ekwe kpee ha ikpe!*

7 Ebe unu na-enwe esemokwu nke ikpe ikpe n’etiti unu, ọ pụtara na unu bụ ndị
emeriri kpamkpam. N’ihi gịnị ka unu na-adịghị ekwe ka emejọ unu? N’ihi gịnị ka unu
na-adịghị ekwe ka a ghọgbuo unu? 8 Ma unu onwe unu na-emejọ, ma na-aghọgbu, ọ
bụladị ụmụnna unu n’ime Kraịst. 9 Ọ bụ na unu amaghị na ndị na-eme ajọ omume
dị otu a enweghị oke ọbụla n’alaeze Chineke? Unu ekwela ka eduhie unu. N’ihi na ọ
dịghị onye ọbụla na-akwa iko, na ndị na-efe arụsị, ndị ikom nwere nwunye na-akwa
iko, na ndị ikom na-eji ndị ikom ibe ha akwa iko, 10 ndị niile na-ezu ohi, ndị anya
ukwu, ndị na-aṅụbiga mmanya oke, ndị nkwutọ, maọbụ ndị na-apụnara mmadụ ihe
ha nwere, agaghị eketa oke n’alaeze Chineke. 11 Na mbụ, ụfọdụ n’ime unu na-ebi
ndụ dị otu a. Ma ugbu a, a sachapụla mmehie unu, doo unu nsọ nye Chineke. Ọ
bụkwa site n’aha Onyenwe anyị Jisọs Kraịst na n’ime Mmụọ nke Chineke anyị ka a
gụrụ unu ka ndị ezi omume.

### *Mmehie ịkwa iko*

12 Ị na-asị, “Enwere m ike ime ihe niile m maara na m kwesiri ime,” ma ọ bụghị
ihe niile ga-abara m uru. “Enwere m ike ime ihe niile m maara ziri ezi,” ma a gaghị
ekwe ka ihe ọbụla na-achị m. 13 Unu na-asị, “E mere ihe oriri maka afọ, meekwa afọ
maka ihe oriri, ma Chineke ga-emebi ma afọ ma ihe oriri.” Ekeghị ahụ anyị maka
ịkwa iko, kama o mere ya maka Onyenwe anyị, Onyenwe anyị dịkwa maka ahụ anyị.
14 Chineke mere ka Onyenwe anyị site n’ọnwụ bilie, ọ ga-ejikwa ike ya mee ka anyị si
n’ọnwụ bilie. 15 Ọ bụ na unu amataghị na ahụ unu bụ akụkụ ahụ Kraịst? Ọ dị mma
na m ga-eji ahụ Kraịst mee ka e jikọtaa ya na ahụ nwanyị akwụna? Tụfiaa! 16 Ọ bụ
na unu amataghị na onye ya na nwanyị akwụna na-enwe mmekọrịta, ya na nwanyị
ahụ bụ otu ahụ? N’ihi na e kwuru, “Ha abụọ ga-abụ otu anụ ahụ.”† 17 Ma onye ọbụla
e jikọtara ya na Onyenwe anyị, ya na onye ahụ ga-abụ otu n’ime mmụọ.

18 Gbaaranụ mmehie ịkwa iko ọsọ. Ọ dịghị mmehie ọzọ na-emetụta anụ ahụ
mmadụ dịka mmehie ịkwa iko. Ọ bụ mmehie mmadụ na-eme megide anụ ahụ ya.
19 Ọ bụ na unu amataghị na ahụ unu bụ ụlọnsọ nke Mmụọ Nsọ ahụ Chineke nyere
unu, onye bi n’ime unu? Anụ ahụ unu abụkwaghị nke unu onwe unu, kama unu
bụ nke Chineke. 20 E jiri oke ọnụahịa zọpụta unu. Ya mere jirinụ anụ ahụ unu nye
Chineke otuto.

## 7

### *Ajụjụ banyere ọlụlụ dị na nwunye*

1 Ugbu a, okwu banyere ihe unu dere n’akwụkwọ: “Ọ dị mma ka nwoke ghara
ịmetụ nwanyị aka.” 2 Ma n’ihi ọtụtụ ihe omume banyere ịkwa iko, ka nwoke ọbụla
nwee nwunye nke aka ya, nwanyị ọbụla di nke aka ya. 3 Ka nwoke ọbụla jisie ike
na-akwụ nwunye ya ụgwọ mmekọ o ji ya. Nwanyị ọbụla ga-emekwara di ya otu aka
ahụ. 4 N’ihi na nwanyị ọbụla lụrụ di adịghịkwa achị ahụ ya, kama ọ bụ di ya na-achị
ya. Otu aka ahụ, di anakwaghị achị ahụ ya, kama ọ bụ nwunye ya na-achị ya. 5 Ka di
na nwunye hapụ igbochi ibe ha mmekọrịta nke anụ ahụ ruuru ha. Karịakwa maọbụ
na mkpebi ha nwere n’etiti onwe ha ịnọrọ iche nwa oge nta n’ihi inyefe onwe ha
ikpe ekpere. Mgbe oge a gasịrị, ha ga-agakwa n’ihu na mmekọrịta ha, ka e site otu

* 6:6 6:6 Nke a bụkwa n’ihu ndị na-ekweghị ekwe. † 6:16 6:16 Jen 2:24

a hapụ inye ekwensu ohere ịnwa ha ọnwụnwa n'ihi enweghị ike ha ijide onwe ha
aka. [6] Anaghị m enye nke a dị ka iwu, kama ọ bụ alo ka m na-atụnyere unu. [7] Asị
m kwuo, aga m asị na ọ ga-aka mma ka mmadụ niile nọrọ dị ka m. Ma onye ọbụla
nwere onyinye nke Chineke nyere ya. O nyere otu onye nke a, onye ọzọ nke ọzọ.

[8] Ma ana m agwa ndị na-anọghị n'ọnọdụ di na nwunye na ndị di ha nwụrụ anwụ,
na ọ ka mma ka ha nọdụ na-alụghị di maọbụ nwunye, dịka m onwe m nọ. [9] Ma ọ
bụrụ na ha apụghị ijide onwe ha, ha gaa chọrọ di maọbụ nwunye lụọ. Ọ ka mma ịlụ
di maọbụ nwunye, karịa mmadụ ịgba ara site n'agụụ nke anụ ahụ.

[10] Ugbu a, unu ndị nwere di na ndị nwere nwunye niile, enwere m iwu m na-enye
unu. (O sighị n'aka m, kama o si n'aka Onyenwe anyị): O kwesighị ka nwanyị ọbụla
hapụ di ya. [11] A sịkwa na ọ hapụ di ya, ya nọọrọ onwe ya, maọbụ ya laghachikwuru
di ya. Ka nwoke ọbụla gharakwa ịgba nwunye ya alụkwaghị m.

[12] Ma ana m agwa mmadụ ndị ọzọ (nke a abụghị iwu nke Onyenwe anyị nyere). Ọ
bụrụ na nwanna alụọ nwanyị nke na-ekweghị ekwe, ya achụpụla ya ma ọ bụrụ na
nwanyị ahụ achọọ ịnọgide dịka nwunye ya. [13] Ọ bụrụkwa na nwanyị kwere ekwe
alụọ di nke na-ekweghị ekwe, ya agbarala di ya alụkwaghị m, ma ọ bụrụ na di ya
chọrọ ịnọgide dịka di ya. [14] N'ihi na edoola di ahụ na-ekweghị ekwe nsọ site na
nwunye ya, otu a kwa a na-edokwa nwunye ahụ na-ekweghị ekwe nsọ site na di ya,
bụ onye kwere ekwe. Ọ bụrụ na ọ dịghị otu a, ụmụ unu ga-abụ ndị na-adịghị ọcha.
Ma otu ọ dị, ha dị nsọ.

[15] Ma ọ bụrụ na onye ahụ nke na-ekweghị ekwe ekewapụ onwe ya, ya dịrị otu
ahụ, nke a emeghị ka nwanna anyị nwoke maọbụ nwanna anyị nwanyị bụrụ ohu
n'ọnọdụ dị otu a, n'ihi na Chineke kpọrọ anyị ka anyị bie ndụ udo. [16] Gị nwunye,
ị mara maọbụ gị ga-azọpụta di gị? Ma, gị bụ di, si aṅa mara maọbụ gị ga-azọpụta
nwunye gị?

### *Ọnọdụ mmadụ*

[17] Ka onye ọbụla bie ndụ ya dịka amara Onyenwe anyị nyere ya si dị, nakwa
n'ọnọdụ nke Chineke kpọrọ ya. Nke a bụ iwu m na-enye n'ụlọ chọọchị niile. [18] Akpọrọ
onye ọbụla mgbe e biri ya ugwu? Ya achọla iwepụ akara obibi ugwu ya. Ka onye a
na-ebighị ugwu tupu ọkpụkpọ ya hapụ inye onwe ya nsogbu ịchọ ụzọ a ga-esi bie ya
ugwu. [19] N'ihi na ọ dịghị mkpa ma e biri gị ugwu ma e bighị gị ugwu. Ihe kachasị
mkpa bụ idebe iwu Chineke. [20] Ka onye ọbụla nọgide dịka ọ dị mgbe a kpọrọ ya.

[21] Ị bụ ohu mgbe a kpọrọ gị? Echegbula onwe gị n'ihi ya. Kama ọ bụrụ na ọ dị ụzọ
ị pụrụ isi nwere onwe gị, were ohere ahụ mee ihe ugbu a. [22] N'ihi na onye ọbụla
Onyenwe anyị Chineke kpọrọ mgbe o bụ ohu, aghọọla onye nweere onwe ya n'ime
Onyenwe anyị. Otu aka ahụ, onye nwerela onwe ya mgbe Onyenwe anyị kpọrọ ya
aghọọla ohu nke Kraịst. [23] Akwụọla ụgwọ isi unu, unu abụkwala ohu mmadụ ọzọ.
[24] Ụmụnna m, n'ọnọdụ ọbụla mmadụ nọ mgbe a kpọrọ ya, ya nọgidesie ike n'ime
Chineke.

### *Ndị na-alụbeghị di*

[25] Ihe banyere ụmụ agbọghọ na-amaghị nwoke. Enweghị m iwu ọbụla site n'aka
Onyenwe anyị banyere ajụjụ a, ma aga m ekwu uche nke aka m dịka onye sitere
n'ebere nke Onyenwe anyị kwesiri ntụkwasị obi. [26] Echere m na ọ ka mma ugbu
a, n'ihi nsogbu nke na-abịanụ ka onye ọbụla nọdụrụ onwe ya dịka o siri nọrọ ugbu
a. [27] Ị lụọla nwanyị? Achọla nkewa. Ọ bụ na ị lụbeghị nwanyị? Ejela ịchọ onye
ị ga-alụ. [28] Ma ọ bụrụ na i kpebie n'obi gị ịlụ nwunye, i meghị mmehie ọbụla; ọ
bụrụkwa na nwaagbọghọ ekpebie na ọ ga-alụ di, o meghị mmehie. Ndị lụrụ di na
nwunye ga-enwe ọtụtụ nsogbu n'ime ụwa. Ọ ga-amasị m igbochiri unu nsogbu ndị
ahụ.

29 Ihe unu kwesiri ịma, ụmụnna, bụ na oge anyị nwere fọdụrụ naanị ntakịrị, site
ugbu a gaa n’ihu ndị nwere nwunye ga-adị ndụ ha dịka ndị na-enweghị. 30 Ka ndị
na-akwa akwa bie ndụ dịka ndị ihe anaghị ewute, ka ndị na-achị ọchị dịrị ka ndị
obi na-adịghị atọ ụtọ. Ka ndị na-azụ ahịa dịrị dịka ndị na-enweghị ngwa ahịa ọbụla.
31 Ka ndị na-etinye oge n’ihe ụtọ nke ụwa hapụ ibi ndụ ịchọ iritecha ihe niile dị n’ụwa
n’uru. N’ihi na ụwa, otu ọ dị ugbu a, bụ ihe na-agabiga agabiga.
32 Unu emela ihe ga-ewetara unu oke echiche. Nwoke na-alụbeghị nwanyị nwere
ohere iji oge ya niile rụọra Onyenwe anyị ọrụ. O nwekwara ohere ịgbalịsị ike ime ihe
ga-atọ Onyenwe anyị ụtọ. 33 Ma nwoke nwere nwunye na-echegbu onwe ya banyere
ihe igbo mkpa nke ụwa a, otu ọ ga-esi mee ihe ga-atọ nwunye ya ụtọ. 34 Ọ na-enwekwa
obi abụọ n’ihe ọbụla ọ chọrọ ime. Otu a ka ọ dịkwa nye nwaagbọghọ na-alụbeghị di
maọbụ onye nke na-amabeghị nwoke, nchegbu ya bụ banyere ihe nke Onyenwe anyị.
Ọchịchọ ya bụ ka ọ dị nsọ n’anụ ahụ ya na n’ime mmụọ ya. Ma nwanyị nwere di na-
echegbu onwe ya banyere ihe nke ụwa a, otu ọ ga-esi mee ihe ga-atọ di ya ụtọ. 35 Ana
m ekwu ihe ndị a maka ọ dị mma nke unu onwe unu, ọ bụghị ịgbalị igbochi unu,
kama ọ bụ ka unu nwee ike bie ndụ unu n’ụzọ kwesiri ekwesi, werekwa ịhụnanya
zuruoke rụọra Onyenwe anyị ọrụ.
36 Ọ bụrụ na nwoke ọbụla enweghị ike ijide onwe ya n’ihi agụụ mmekọrịta nke
nwoke na nwanyị na-agụ ya n’ebe nwaagbọghọ ya na ya kpebiri ịlụ nọ, ya mee ihe
ọ na-achọ, o meghị mmehie ọbụla, ha lụọ di na nwunye. 37 Ma ọ bụrụ na onye ọbụla
ekpebie n’obi ya, ma nwee ike ijide onwe ya, ka o si n’enweghị mmanye ọbụla idebe
nwaagbọghọ e kwuru na ọ ga-alụ na-enweghị mmekọ ọbụla, ọ bụ ihe dị mma ka o
mere. 38 Ya mere, onye ahụ lụrụ nwaagbọghọ o kwuru na ọ ga-alụ mere nke ọma,
ma onye kpebikwara na ọ gaghị alụ mekwara nke ọma karịa.
39 Njikọta e jikọtara nwunye na di ya na-adị ire naanị mgbe di nwanyị dị ndụ.
Ọ bụrụ na di ya anwụọ o nwere ike ịlụ di ọzọ, ma ọ lụọ ya n’ime Onyenwe anyị.
40 N’uche m, ọ ga-enwe ọṅụ n’obi ya karịa ma ọ bụrụ na ọ lụghị di ọzọ. Ana m
echekwa na mụ onwe m nwekwara Mmụọ nke Chineke.*

# 8

*Anụ e ji chụọrọ arụsị aja*

1 Ugbu a, n’okwu banyere nri a chụrụ n’aja nye arụsị, anyị ma na onye ọbụla nwere
amamihe. Amamihe na-afụli mmadụ elu mee ka ọ nyaa isi. Ma ịhụnanya na-ewuli
elu. 2 Ọ bụrụ na ọ dị onye sị na ya maara ihe niile, onye ahụ amatabeghị ihe o kwesiri
ịmata. 3 Ma onye ahụ hụrụ Chineke n’anya bụ onye ọ maara.
4 Ya mere, ihe banyere nri a chụrụ n’aja nye arụsị, anyị maara na “Arụsị abụghị
ihe ọbụla n’ụwa”, matakwa na “Chi ọzọ adịghị ma ọ bụghị otu Chineke.” 5 A sịkwa
na arụsị a na-akpọ chi dị, ma ha nọ n’eluigwe maọbụ n’ụwa (n’ezie ọtụtụ “chi” na
“ndị nwe mmadụ” dị otu a dị). 6 Ma n’ebe anyị nọ, anyị maara na ọ bụ naanị otu
Chineke dị, onye bụ Nna, onye kere ihe niile, na onye anyị na-adị ndụ n’ihi ya. Ọ
bụkwa naanị otu Onyenwe anyị ka anyị nwere, onye bụ Jisọs Kraịst, onye e sitere
n’aka ya kee ihe niile, onye na-enyekwa anyị ndụ.
7 Ma otu ọ dị, ọ bụghị onye ọbụla nwere ihe ọmụma a. Ụfọdụ n’ime ndụ ha niile,
ha na-ele arụsị anya dịka chi dị ndụ. Ha na-echekwa na ihe ọbụla e ji chụọrọ arụsị
aja, na ọ bụ chi dị ndụ ka e ji ya chụọrọ aja. N’ihi nke a, mgbe ọbụla ha riri ihe e ji
chụọ aja nye arụsị, ọ na-ewute mmụọ ha nke ukwuu n’ihi na akọnuche ha esighị ike,
ọ na-emerụkwa ya. 8 Ma ọ bụghị nri ga-eme ka anyị na Chineke dị na mma. Ma anyị

* **7:40** 7:40 Ndụmọdụ ndị a m nyere unu si na Mmụọ nke Chineke.

riri ma anyị erighị, ọ dịghị ihe ọhụrụ anyị ga-enweta. Ọ dịkwaghị ihe na-efunarị
anyị.
[9] Ma lezienụ anya, otu o si dị, ka ike unu nwere ime ihe ọbụla dị unu mma, ghara
ịghọ ihe ịsọ ngọngọ dịrị ndị na-adịghị ike n’okwukwe ha. [10] N’ihi na ọ bụrụ na ndị
ọzọ ahụ gị, gị onye nwere akọnuche, ka ị nọ, na-eri nri n’ụlọ arụsị, ọ bụ na ha agaghị
eche na ha bụ ndị okwukwe ha na-esighị ike, ga-enwe obi ike soro gị rie nri a gọrọ
arụsị? [11] N’ụzọ dị otu a, ndị kwere ekwe na-adịghị ike, ndị Kraịst nwụrụ n’ihi ha,
na-esite n’ihe mmụta gị laa n’iyi. [12] Cheta na ọ bụ mmehie i mere megide Kraịst,
mgbe unu na-emegide mmụọ nwanne gị n’ime Kraịst, n’ihi n’akọnuche ha esighị
ike. [13] N’ihi nke a, ọ bụrụ na ihe oriri ga-eme ka nwanna m mee mmehie, agaghị m
eri anụ ọzọ, ka m ghara ime ka nwanna m maa n’ọnya.

# 9

*Pọl mere onwe ya ihe ịmaatụ*

[1] Abụghị m onye nwe onwe ya? Abụghị m onyeozi Kraịst? Ọ bụ na m ahụghị Jisọs
Onyenwe anyị? Unu abụghị ihe ngosipụta ọrụ m rụrụ n’ime Onyenwe anyị? [2] Ọ
bụrụ na m abụghị onyeozi n’ebe ndị ọzọ nọ, n’ebe unu nọ, abụ m onyeozi n’eziokwu
n’ihi na unu bụ akara nke ọrụ onyeozi m n’ime Onyenwe anyị.
[3] Ihe ngọpụ m nye ndị ahụ na-enyocha m bụ nke a. [4] Ọ bụ na anyị enweghị ike iri
ihe oriri na ịṅụ ihe ọṅụṅụ? [5] Ọ bụ na anyị enweghị ike iduru nwunye onye bụ onye
kwere ekwe gaa ebe ọbụla anyị na-aga dịka ndị ozi ọzọ na-eme, na dịka ụmụnne
Onyenwe anyị na Sefas na-emekwa? [6] Ọ ga-abụ naanị mụ na Banabas bụ ndị na-
enweghị ike ịhapụ ịrụ ọrụ maka ihe anyị ga na-eri?
[7] Olee onye agha unu maara nke na-esi n’akpa ya akwụ onwe ya ụgwọ ọnwa? Ka
ọ dị onye ọrụ ubi vaịnị unu maara nke na-adịghị eri mkpụrụ e si n’ubi ahụ weta?
Olee onye ọzụzụ atụrụ unu maara nke na-adịghị aṅụ mmiri ara e si n’igwe atụrụ ọ
na-azụ apịpụta? [8] Anaghị m ekwu ihe a n’ihi na ha bụ ihe na-eme ụbọchị niile n’etiti
ndị mmadụ? Akwụkwọ iwu, o kwukwaghị otu ihe ahụ? [9] N’ihi na e dere ya n’iwu
nke Mosis, “Ekechila ọnụ ehi mgbe ọ na-azọcha mkpụrụ ọka.”* Unu chere na ọ bụ
naanị ehi ka Chineke bu n’obi kwuo okwu a? [10] E, n’ihi anyị ka eji dee ya n’akwụkwọ.
N’ezie, e dere ihe ndị a n’ihi anyị, n’ihi na onye rụrụ ọrụ n’ubi na onye na-azọcha
mkpụrụ dị n’ubi ahụ, na-eme nke a n’olileanya na o kwesiri iketa oke site na mkpụrụ
e si n’ubi ahụ weta. [11] Mkpụrụ anyị kụrụ n’ime obi unu bụ mkpụrụ nke mmụọ. Ọ
ga-abụ ihe ọjọọ ma anyị sị unu nyetụ anyị ụfọdụ n’ime akụnụba unu? [12] Ọ bụrụ na
ndị ọzọ kwesiri iketa uru dị otu a n’ahụ unu, ọ bụ na anyị ekwesighị iketa karịa?
Ma ọ dịbeghị mgbe anyị rịọrọ unu ihe ọbụla, kama anyị na-agbalịsị ike ịhụ na ọ
dịghị ihe ga-egbochi unu iji ezi obi na-ege ntị n’oziọma Kraịst nke anyị wetara.
[13] Ọ bụ na unu amataghị na ndị na-arụ ọrụ n’ụlọnsọ ukwu na-esi n’ụlọnsọ ahụ
na-eweta ihe ha na-eri? Ndị na-agbakwa odibo n’ebe ịchụ aja na-eketakwa oke n’ihe
eji chụọ aja? [14] N’otu aka ahụ kwa, Onyenwe anyị ekwuola na ndị niile na-ekwusa
oziọma ya ga-esi n’oziọma eweta nri ha ga-eri dị ndụ.
[15] Ma o nweghị mgbe m jirila ike ndị a m nwere irite uru n’ọrụ m nara ndị mmadụ
ihe. Anaghị m ede nke a n’akwụkwọ ka a na-ebutere m ihe onyinye. N’ihi na ọ kaara
m mma ka m nwụọ kama m ga-ekwe ka onye ọbụla mee ka ịnya isi m bụrụ ihe efu
n’ihi ihe onyinye. [16] Anaghị anya isi n’ihi na ana m ezisa oziọma, maka na nke ahụ
bụ ọrụ e nyere m n’iwu ka m rụọ. Ahụhụ dịịrị m ma ọ bụrụ na m ezisaghị oziọma.
[17] A sị na m ji aka m họpụta onwe m ịrụ ọrụ a, agaara m enwe ụgwọ ọrụ, ma na ọ
bụrụ na o sighị n’uche aka m, unu mara na-ahanyere m ya n’aka. [18] Gịnị bụ ụgwọ

* **9:9** 9:9 Dit 25:4

ọrụ m? Ụgwọ ọrụ m bụ ọṅụ m na-enwe site n’izisa oziọma a, na-anaghị onye ọbụla
ụgwọ ọrụ ọbụla, maọbụ ihe ruru m dịka onye na-ezisa oziọma ahụ.

*Pọl ji inwe onwe ya jee ozi*

[19] Ọ bụ ezie na-abụghị m ohu onye ọbụla, ma emeela m onwe m ohu nye mmadụ
niile ka m nwee ike site n’ụzọ dị otu a rite ọtụtụ mkpụrụobi n’uru nye Kraịst. [20] N’ebe
ndị Juu nọọ, ana m eme dịka onye Juu, ka m nwee ike rite ndị Juu n’uru. N’etiti ndị
nọ n’okpuru iwu, ana m emekwa dịka otu n’ime ndị nọ n’okpuru iwu (n’agbanyeghị
na mụ onwe m anọghị n’okpuru iwu), ka m si otu a nwee ike rite ndị nọ n’okpuru
iwu n’uru. [21] N’ebe ndị na-anọghị n’okpuru iwu nọ, emere m onwe m ka onye
na-anọghị n’okpuru iwu (ma nke a apụtaghị na m na-akwụsị ime ihe iwu Chineke
na-achọ. Ana m emekwa dịka onye nọ n’okpuru iwu Kraịst), ka m nwee ike rite ndị
na-anọghị n’okpuru iwu n’uru. [22] N’ebe ndị na-adịghị ike nọ, ana m emekwa dịka
ha, ka m nwee ike rite ndị na-adịghị ike n’uru. Otu ọbụla mmadụ si dịrị, ana m
agbalị chọọ ụzọ m ga-esi mee ka ọ nabata m, ka m nwee ike site n’ụzọ niile ọbụla
zọpụta ụfọdụ. [23] Ana m eme ihe ndị a niile n’ihi oziọma, ma ka m nwekwa ike keta
oke na ngọzị ya.

*Mkpa ọ dị mmadụ ịkwanyere onwe ya ugwu*

[24] Unu amataghị na mgbe ọtụtụ mmadụ na-agba ọsọ ịsọ mpi, ọ bụ naanị otu onye
na-enwe ihe onyinye nke mbụ? Ya mere, gbasienụ ọsọ ike, ka unu nweta onyinye
ahụ. [25] Ndị na-ejikere ịgba ọsọ maọbụ egwuregwu ọzọ na-enwe ntachiobi n’ọtụtụ
ahụhụ nke ya na ọzụzụ so. Ha na-azụ onwe ha naanị ka ha nweta okpueze okoko
osisi na-emebi emebi. Ma ọsọ anyị na-agba bụ ka anyị nweta okpueze nke na-apụghị
imebi emebi. [26] Ọ bụ nke a mere m ji na-agba ọsọ a na-eleghị anya n’azụ, maọbụ kụọ
ọkpọ dịka m na-akụ ifufe. [27] Ma ana m azụ ahụ m, na-enye ya ahụhụ mee ya ka ọ
bụrụ ohu, ka mụ onwe m ghara ị bụ onye a jụrụ ajụ mgbe m kwusasịrị oziọma nye
ndị ọzọ.

# 10

*Ịdọ aka na ntị banyere ime mmehie*

[1] Ụmụnna m, achọghị m ka unu chefuo ihe mere nna nna anyị ha mgbe ha jere ije
n’ime ọzara. O ji igwe ojii duo ha. O mekwara ka ha si n’etiti Osimiri Uhie gafee.
[2] N’ime igwe ojii ahụ, na n’ime osimiri ahụ e tinyere ha niile na baptizim, dịka ndị
na-eso ụzọ Mosis. [3] Ha niile rikwara ihe oriri nke mmụọ ahụ. [4] Ha ṅụkwara mmiri
mmụọ ahụ, mmiri sitere n’oke nkume mmụọ ahụ, nke na-eso ha. Oke nkume ahụ
bụ Kraịst n’onwe ya. [5] N’ihe ndị a niile, omume ha amasịghị Chineke. N’ihi nke a, ọ
lara ha n’iyi n’ime ọzara.
[6] Ugbu a, ihe ndị a niile bụkwa ihe ịdọ aka na ntị nye anyị, ka anyị hapụ ịbụ ndị
agụụ ime ihe ọjọọ na-agụ dịka ha. [7] Unu abụla ndị na-ekpere arụsị dịka ụfọdụ ha
mere. Dịka e dere ya, “Ndị a nọdụrụ ala iri ihe na ịṅụ ihe ọṅụṅụ, biliekwa ọtọ gwurie
egwu ime onwe ha obi ụtọ.”* [8] Ka anyị ghara ịkwa iko dịka ụfọdụ n’ime ha mere,
iri puku mmadụ abụọ na atọ n’ime ha nwụọ n’otu ụbọchị. [9] Ka anyị hapụ ịnwa
Kraịst ọnwụnwa dịka ụfọdụ n’ime ha si nwaa Chineke. E mere ka agwọ tagbusie ha.
[10] Ka anyị hapụkwa itamu ntamu dịka ụfọdụ ha mere ma bụrụ ndị Mmụọ ozi ọnwụ
tigburu.
[11] Ihe ndị a niile dakwasịrị ha ka ọ bụrụ ihe ilere anya nye anyị. E dekwara ha
n’akwụkwọ ka ha bụrụ anyị ihe ịdọ aka na ntị n’ihi na anyị bi n’oge a mgbe ọgwụgwụ
ihe niile dị nso. [12] Ya mere, ọ bụrụ na ị na-eche na ị guzosiri ike, lezie anya ka ị ghara
ịda. [13] O nweghị ọnwụnwa ọbụla nwara unu nke abịakwutebeghị mmadụ. Chineke

---

* **10:7** 10:7 Ọpụ 32:6

kwesiri ntụkwasị obi, ọ gaghị ekwe ka a nwaa unu karịa ike unu. Kama mgbe a
na-anwa unu, ọ ga-enye unu ike imeri ọnwụnwa ma gosikwa unu ụzọ mgbapụ n'ime
ya.

*Oriri arụsị na Oriri nke Onyenwe anyị*†

14 Ya mere, ndị enyi m hụrụ n'anya, gbaaranụ ikpere arụsị ọsọ. 15 Ana m agwa
ndị nwere uche okwu, unu onwe unu tulenụ ihe m na-ekwu. 16 Iko ngọzị ahụ nke
anyị na-agọzi, ọ bụghị iketa oke site n'ọbara Kraịst? Achịcha nke anyị na-anyawa, ọ
bụghị iketa oke n'ahụ Kraịst? 17 N'ihi na otu achịcha dị, ọ bụ ezie na anyị dị ọtụtụ,
anyị bụ otu ahụ, n'ihi na anyị niile na-eketa oke n'otu ogbe achịcha ahụ.
18 Chetanụ ka ndị Izrel siri mee: ọ bụ na ndị na-eri ihe eji chụọ aja abụghị ndị
nnwekọ n'ebe ịchụ aja? 19 Gịnị ka okwu ndị a m na-ekwu pụtara? Na arụsị, maọbụ
ihe a chụrụ n'aja nye arụsị bụ ihe ọbụla, maọbụ na ọ bụghị ihe? 20 Mba! Ihe m
na-ekwu bụ na ndị niile na-achụrụ arụsị aja jikọtara onwe ha n'otu obi ịchụrụ
ekwensu aja ahụ. Ọ bụghị Chineke. Achọkwaghị m ka unu bụrụ ndị e jikọtara
ha na ekwensu.‡ 21 Unu apụghị ịṅụ site n'iko Onyenwe anyị ma ṅụọkwa site n'iko
ekwensu; unu apụghịkwa inwe oke site na tebul Onyenwe anyị na tebul ekwensu.
22 Anyị na-achọ ime ka iwe wee Onyenwe anyị? Anyị dị ike karịa ya?

*Inwe onwe nke ndị kwere ekwe*

23 Ị na-asị, "Enwere m ike ime ihe niile m maara na m kwesiri ime," ma ọ bụghị
ihe niile ga-abara m uru. "Enwere m ike ime ihe niile m maara ziri ezi," ma ọ bụghị
ihe niile nwere ike inyere anyị aka. 24 Ka onye ọbụla hapụ ịchọ ọdịmma nke onwe
ya, kama ọdịmma nke ndị ọzọ.
25 Rie ihe bụ anụ ọbụla e rere n'ahịa na-ajụghị ajụjụ ọbụla n'ihi akọnuche. 26 N'ihi
na, "Ụwa na ihe niile dị n'ime ya bụ nke Onyenwe anyị."§
27 Ọ bụrụ na onye na-ekweghị ekwe akpọọ unu oriri, unu kpebie ije, riekwanụ nri
ọbụla e nyere unu na-ajụghị ajụjụ n'ihi akọnuche. 28 Ma ọ buru na e nwee onye
gwara gị, "A chụrụ ihe a n'aja." Unu erila nri ahụ, maka onye ahụ mere ka unu
mata, na n'ihi akọnuche. 29 Akọnuche nke m na-ekwu maka ya abụghị nke gị, kama
ọ bụ maka nke onye ahụ. N'ihi gịnị ka mnwere onwe m ga-eji bụrụ ihe akọnuche
onye ọzọ ga-ekpe ikpe? 30 Ọ bụrụ na m nwere ike inye ekele, were nri m rie, olee otu
e si ekwutọ m n'ihi ihe ahụ m nyere Chineke ekele banyere ya?
31 Ihe ọbụla ị na-eme, ma unu na-eri ihe maọbụ na-aṅụ ihe, na-emenụ ha niile
maka otuto nke Chineke. 32 Unu emejọla ndị Juu maọbụ ndị Griik, ma ọ bụkwanụ
nzukọ Chineke. 33 Na-agbalịsinụ ike ime dịka m si eme. N'ihe ọbụla m na-eme, ana m
ejisi ike ime ihe ga-atọ onye ọbụla ụtọ. Anaghị m achọ ọdịmma nke m naanị, kama
ọ bụ ọdịmma nke mmadụ ibe m, ime ka a zọpụta ha.

# 11

1 Unu bụrụ ndị na-eṅomi m, dịka m si eṅomi Kraịst.

*Omume kwesiri ekwesi n'oge ofufe*

2 Ana m aja unu n'ihi na unu na-echeta m n'ihi niile, nakwa n'ihi na unu na-ejisikwa
ozizi ahụ enyere unu n'aka ike, dịka m nyere ha n'aka unu idebe. 3 Ma achọrọ m ka
unu mata na dịka Kraịst bụ isi nwoke ọbụla, otu a ka nwoke ọbụla si bụrụ isi nwunye
ya. Chineke bụkwa isi Kraịst. 4 Nwoke ọbụla kpuchiri isi ya mgbe ọ na-ekpe ekpere
maọbụ na-ebu amụma* na-emenye isi ya ihere. 5 Ma nwanyị ọbụla na-ekpe ekpere
maọbụ na-ebu amụma, ma o kpuchighị isi ya, na-emenye isi ya ihe ihere, n'ihi na
ọ dịka nwanyị kpụchara isi ya. 6 Ọ bụrụ na nwanyị ọbụla achọghị ikechi isi ya, ya

† **10:13** 10:14 Ụfọdụ na-akpọ ya Oriri nsọ. ‡ **10:20** 10:20 Maọbụ, mmụọ ọjọọ § **10:26** 10:26 Abụ 24:1 * **11:4** 11:4 Maọbụ, na-akụzi ihe

kpụchaa ya. A sịkwa na ọ bụkwanụ ihe ihere na nwanyị kpụchara isi ya, ka nwanyị
kechie isi ya.
7 Ma nwoke ekwesighị ikpuchi isi ya, n’ihi na nwoke bụ onyinyo na otuto nke
Chineke, ebe nwanyị bụ otuto nke nwoke. 8 E si na nwoke kee nwanyị, ma e sighị na
nwanyị kee nwoke. 9 E keghị nwoke maka nwanyị, ma e kere nwanyị maka nwoke.
10 N’ihi nke a, nwanyị kwesiri ikpuchi isi ya igosi na ọ nọ n’okpuru di ya, maka ndị
mmụọ ozi. 11 Ma otu ihe si dị n’ime ndụ anyị na-adị n’ime Onyenwe anyị, nwoke
adịghị ma e wepụ nwanyị, nwanyị adịghịkwa ma e wepụ nwoke. 12 N’ihi na dịka
nwanyị siri na nwoke pụta na mbụ, otu a ka a na-esitekwa n’ahụ nwanyị mụpụta
nwoke. Ma ha niile si n’aka Chineke pụta.
13 Achọrọ m ka unu tule ihe a n’onwe unu, ọ dị mma ka nwanyị ghebe isi ya oghe
mgbe ọ na-ekpe ekpere nye Chineke? 14 Unu matakwara nke ọma na ọ bụ ihe ihere na
nwoke ga-ebu agịrị isi dị ogologo. 15 Ma ọ bụrụ na nwanyị enwee agịrị isi dị ogologo
ọ bụ ihe otuto nye ya n’ihi na e nyere ya agịrị isi dị ogologo ka ọ bụrụ ihe mkpuchi.
16 Ọ bụrụ na onye ọbụla na-arụ ụka banyere omenaala nke a, anyị onwe anyị na
nzukọ Chineke niile enweghị omenaala ọzọ banyere nke a.

### *Omume kwesiri ekwesi n’oge Oriri Nsọ*

17 N’ime ntụziaka ndị a, enweghị m otuto nye unu n’ihi na mgbe unu zukọtara
omume unu na-eweta ihe ọjọọ karịa ihe ọma. 18 Na mmalite, ihe m na-anụ bụ na
mgbe niile unu zukọrọ dịka chọọchị, ịrụ ụka nke na-ebute nkewa na-adị n’etiti unu.
E kwenyekwara m na ụfọdụ ihe ndị a m nụrụ bụ eziokwu. 19 N’ezie ụdị nkewa dị
otu a aghaghị ịdị n’etiti unu ka e nwee ike mara ndị Chineke nabatara. 20 Mgbe unu
zukọtara, ọ bụghị nri anyasị nke Onyenwe anyị ka unu na-eri. 21 N’ihi na mgbe
unu na-eri nri, ụfọdụ n’ime unu na-eri nri anyasị nke aka ha. Nke mere, n’otu onye
na-anọ agụụ ebe onye ọzọ na-aṅụbigakwa mmanya oke. 22 A ga-akpọ nke a gịnị?
Ọ bụ na unu enweghị ụlọ ebe unu ga-anọ rijuo afọ ma ṅụjuokwa afọ? Ka ọ bụ na
unu na-eleli nzukọ Chineke na emenye ndị na-enweghị ihe ihere? Gịnị ka m ga-agwa
unu? Aga m eto unu maka nke a? Agaghị m eto unu maka nke a.
23 N’ihi na ihe m ziri unu bụ ihe Onyenwe anyị ziri m. N’abalị ụbọchị ahụ a rara
ya nye, Onyenwe anyị Jisọs weere otu ogbe achịcha. 24 Mgbe o nyechara ekele, ọ
nyawara ya sị, “Nke a bụ ahụ m nke a na-enye maka unu. Na-emenụ nke a iji cheta
m.” 25 N’ụzọ dị otu a kwa, o bulitere otu iko mmanya mgbe ha risiri nri sị, “Iko a
bụ ọgbụgba ndụ ọhụrụ n’ọbara m. Oge ọbụla unu na-aṅụ ya, na-emenụ nke a iji
na-echeta m.” 26 N’ihi na mgbe ọbụla unu na-eri achịcha ahụ na-aṅụkwa iko a, unu
na-ekwusa ọnwụ Onyenwe anyị ruo mgbe ọ ga-abịa ọzọ.
27 Ya mere, ọ bụrụ na onye ọbụla erie achịcha Onyenwe anyị maọbụ ṅụọ iko
Onyenwe anyị n’ụzọ na-ekwesighị ekwesi, onye ahụ na-emehie megide anụ ahụ
Onyenwe anyị na ọbara Onyenwe anyị. 28 Ọ bụ nke a mere o ji bụrụ ihe dị mkpa
ka onye ọbụla nyochaa onwe ya nke ọma tupu o rie achịcha ahụ maọbụ ṅụọ iko
ahụ. 29 N’ihi na onye ọbụla na-eri achịcha ahụ maọbụ ṅụọ site n’iko ahụ na-echeghị
echiche, ọ na-eri, na-aṅụtakwara onwe ya ikpe ọmụma, ma ọ bụrụ na ọ tuleghị uche
banyere ahụ Kraịst. 30 Ọ bụ nke a mere ọtụtụ n’ime unu ji bụrụ ndị ahụ na-esighị
ike, ndị nọ n’ọrịa na ndị dara n’ụra ọnwụ. 31 Ọ bụrụ na anyị enyochaa onwe anyị
nke ọma, anyị agaghị adaba n’ikpe. 32 Ma otu ọ dị, mgbe Onyenwe anyị na-ama anyị
ikpe n’ụzọ dị otu a, a na-ezi anyị otu e si ebi ezi ndụ n’ihi ka a ghara ịmakọ anyị na
ndị ụwa ikpe.
33 Ya mere, ụmụnna m, mgbe unu bịakọtara iri nri, cherenụ ibe unu. 34 Ọ bụrụ na
agụụ agụọ onye ọbụla ya rie nri n’ụlọ ya, ka ọ hapụ iwetara unu ikpe ọmụma.
Aga m enye ntụziaka banyere ihe niile ndị ọzọ mgbe m bịara.

# 12

*Onyinye Mmụọ Nsọ na-enye*

1 Ugbu a ụmụnna m, achọrọ m ka unu mata ihe gbasara onyinye nke Mmụọ Nsọ
na-enye. 2 Unu matara na mgbe unu bụ ndị na-amaghị Chineke, e duru unu n'otu
ụzọ maọbụ nke ọzọ, duhie unu ụzọ iso arụsị ndị ahụ dara ogbi. 3 Ya mere, achọrọ m
ka unu ghọta nke ọma na ọ dịghị onye ọbụla na-ekwu okwu site n'odudu Mmụọ nke
Chineke, pụrụ ị sị, "Ka Jisọs bụrụ onye a bụrụ ọnụ." Ọ dịkwaghị onye ọbụla pụrụ
ikwu, na "Jisọs bụ Onyenwe anyị," ma ọ bụghị site na Mmụọ Nsọ.

4 Onyinye amara dị iche iche dị, ma otu Mmụọ Nsọ ahụ na-enye ha niile. 5 E
nwekwara ụdị ije ozi dị iche iche, maọbụ otu Onyenwe anyị ahụ ka a na-ejere ozi.
6 Ụdị ike dị iche iche nke eji arụ ọrụ dịkwa, ma otu Chineke ahụ na-etinye ike ndị a
n'ime onye ọbụla iji jee ozi.

7 Ọ na-enyekwa onye ọbụla amara izipụta ike nke Mmụọ Nsọ maka ọdịmma mmadụ
niile. 8 Mmụọ Nsọ na-enye otu onye onyinye ikwu okwu amamihe, na-enyekwa onye
ọzọ onyinye ịma ihe ọmụma, site n'otu Mmụọ ahụ. 9 Otu Mmụọ nsọ a na-enye
onye ọzọ onyinye inwe okwukwe, na-enyekwa onye ọzọ onyinye inwe ike ịgwọ ọrịa.
10 Onye ọzọ ka ọ na-enye onyinye ịrụ ọrụ ịtụnanya, onye ọzọ ike ibu amụma. Onye
ọzọ ka ọ na-enye ike ịkọwa ụdị mmụọ dị iche iche, ma onye ọzọkwa ka ọ na-enye ike
ịsụ asụsụ dị iche iche. Ma ọ na-enyekwa onye ọzọ ike ịkọwa ihe onye na-asụ asụsụ
ndị a na-ekwu. 11 Ọ bụ otu Mmụọ ahụ na-enye onyinye ndị a niile. Ọ na-enye onye
ọbụla onyinye dị iche iche dịka Mmụọ Nsọ si kpebie.

*Otu ahụ ma ọtụtụ akụkụ*

12 Dịka ahụ anyị si nwe akụkụ dị iche iche, ma bụrụkwa otu ahụ, n'agbanyeghị na
o nwere ọtụtụ akụkụ, otu a ka anụ ahụ Kraịst dịkwa. 13 Site n'otu Mmụọ Nsọ ahụ ka
e mere anyị niile baptizim n'otu n'otu, ma ndị Juu ma ndị Griik, ma ohu ma ndị nwe
onwe ha. E meela ka anyị ṅụọ ọbara ya, n'ime njikọ nke otu Mmụọ Nsọ ahụ. 14 Ahụ
mmadụ abụghị naanị otu akụkụ, kama o nwere ọtụtụ akụkụ ahụ.

15 Ọ bụrụ na ụkwụ asị, "N'ihi na-abụghị m aka, esoghị n'ahụ," nke a agaghị egbochi
ya ka ọ gharakwa ịbụ otu n'akụkụ anụ ahụ. 16 Otu a kwa, ọ bụrụ na ntị asị, "Ebe
m na-abụghị anya abụghị m otu akụkụ anụ ahụ." Okwu a kwa agaghị eme ka ntị
ghara ịbụ akụkụ anụ ahụ. 17 Ọ bụrụ na ahụ niile bụ anya, olee ka ahụ ga-esi nụ ihe?
Ọ bụrụkwa na ahụ mmadụ bụ naanị ntị ọ ga-esi aṅaa nụ isisi ihe ọbụla? 18 Ma otu
ihe si dị, Chineke debere n'otu n'otu akụkụ niile dị n'ahụ dịka o si chọọ. 19 A sị na
akụkụ niile dị n'ahụ bụ otu ihe, kedụ ebe ahụ ga-adị? 20 Otu ọ dị, ọ bụ ezie na ihe dị
n'ahụ dị ọtụtụ, ma ha niile bụ otu ahụ.

21 N'ihi nke a, anya enweghị ike ịgwa aka sị, "Achọghị m gị, n'ihi na ị dịghị m
mkpa." Isi agakwaghị agwa ụkwụ sị, "Achọghị m inyeaka gị." 22 Kama ọ bụ akụkụ
ahụ anyị ndị na-esighị ike bụ ndị dị anyị mkpa karịa. 23 E e, akụkụ ndị ahụ anyị
na-eche na ha adịghị mkpa ka anyị na-eji nsọpụrụ na-elekọta. Akụkụ ndị ahụ na-
ekwesighị ile anya ka anyị na-enye ugwu, ma na-ekpuchi ha. 24 Ma anyị adịghị esi
otu a elekọta akụkụ ahụ ndị ahụ anya na-ahụ n'ụzọ pụrụ iche, n'ihi na Chineke
kpachapụrụ anya mee ka akụkụ ndị ahụ dịkarịsịrị nta bụrụ nke anyị kwesiri inye
nsọpụrụ karịa. 25 N'ụzọ dị otu a, nkewa ọbụla adịghị n'ahụ mmadụ. Akụkụ ọbụla
maara mkpa ibe ya, ha na-egborịtakwara onwe ha mkpa ha. 26 Ọ bụrụ na otu akụkụ
enwe nsogbu, akụkụ ndị ọzọ ga-eketa oke na nsogbu ahụ. Ọ bụrụkwa na otu akụkụ
emee ihe ga-eweta otuto ọ bụ ahụ niile na-enwe otuto ahụ.

27 Ugbu a, unu niile n'otu n'otu bụ otu anụ ahụ Kraịst. Unu bụkwa akụkụ ahụ ya
n'otu n'otu, bụrụkwa ndị dị mkpa n'ahụ ahụ. 28 Nke a bụ ụfọdụ n'ime akụkụ dị iche

iche Chineke tinyere na chọọchị; nke mbụ bụ ndị ozi, ndị amụma, ndị nkuzi, ndị na-arụ ọrụ ịtụnanya, ndị na-agwọ ọrịa, ndị pụrụ inyere mmadụ ibe ha aka, ndị nwere onyinye ịchịkọta ihe niile n'usoro, na ndị na-asụ asụsụ dị iche iche. 29 Ha niile, ha
bụ ndị ozi? Ha niile ha bụ ndị amụma? Ha niile ha bụ ndị nkuzi? Ha niile ha bụ ndị ọrụ ebube? 30 Ha niile ha nwere onyinye ịgwọ ọrịa? Ha niile ha na-asụ n'olu dị iche
iche? Ha niile ha nwere onyinye nke ịkọwa asụsụ dị iche iche? 31 Ugbu a, gbalịsienụ
ike inweta onyinye kachasị dị elu karịa.

### *Ịhụnanya kachasị mkpa*

Ma aga m ezi unu ụzọ nke kachasị ihe a niile mma.

## 13

### *Ịhụnanya*

1 A sị na m na-asụ asụsụ dị iche iche nke ndị mmadụ maọbụ nke ndị mmụọ ozi, ma ahụghị m mmadụ ibe m n'anya, abụ m naanị ogene na-eme ụzụ maọbụ mbadamba efere na-ada ụda.
2 A sịkwa na m nwere onyinye ibu amụma, bụrụ onye pụrụ ikwu ihe niile gaje ime n'oge dị n'ihu, na onye maara ihe niile, a sịkwa na m nwere okwukwe nke m pụrụ isite na ya nye ugwu buru ibu iwu sị ya site n'ebe ọ nọ gaa n'ebe ọzọ, ma ahụghị m mmadụ ibe m n'anya, abụghị m ihe ọbụla.
3 A sịkwa na m ewere ihe niile m nwere nye ndị ogbenye, werekwa anụ ahụ m nye ka ere ya ọkụ n'ihi ka m nyaa isi, ihe ndị a niile abaghị uru, ma m enweghị ịhụnanya.
4 Ịhụnanya na-enwe ogologo ntachiobi, na-enwekwa obi ebere. Ọ dịghị ekwo ekworo, ọ naghị enwe anya ukwu, ọ naghị anya isi. Ọ nakwaghị ebuli onwe ya elu.
5 Ọ naghị eme ihe na-akpasu iwe, ọ naghị achọ ihe nke naanị ya, ọ naghị ewe iwe ọsịịsọ. Ọ nakwaghị agụkọ ihe ọjọọ niile e mere ya.
6 Ọ dịghị aṅụrị ọṅụ n'ihe ọjọọ, kama ọ na-aṅụrị n'eziokwu.
7 Ọ na-edi ihe niile, ọ na-ekwerekwa ihe niile, ọ na-enwekwa olileanya na-anagide ihe ọbụla dapụtara.
8 Ịhụnanya adịghị agwụ agwụ. Ma ibu amụma niile ga-emesịa kwụsị, onyinye ịsụ asụsụ dị iche iche ga-akwụsịkwa. Otu a, ihe ọmụma niile ga-agabiga.
9 N'ihi na ọmụma anyị ezughị oke, ibu amụma anyị ezukwaghị oke.
10 Ma mgbe anyị ruru n'izuoke, ezughị oke agaghị adịkwa.
11 Mgbe m bụ nwata, ekwuru m okwu dịka nwata, echiche m niile bụ echiche nwata. Izuzu obi m niile bụkwa nke nwata. Ma mgbe m toro ghọọ dimkpa, adịghịkwa m akpa agwa dịka nwata ọzọ.
12 Ugbu a, anyị na-ahụ inyogho inyogho dịka anyị na-ele anya n'enyo ma mgbe ahụ anyị ga-ahụ ihu na ihu. Ugbu a, ihe m mara ezughị oke, ma mgbe ahụ aga m amazu, dịka m bụ onye a mazuru.
13 Ọ dị ihe atọ na-adịgide adịgide. Ha bụ okwukwe, olileanya, na ịhụnanya. Ma n'ime ha niile, ihe kachasị ha niile bụ ịhụnanya.

## 14

### *Onyinye ndị ọzọ Mmụọ Nsọ na-enye*

1 Ka ịhụnanya bụrụ isi ihe unu na-achọ. Chọsienụ onyinye nke Mmụọ Nsọ ike, nke ka nke onyinye inwe ike ibu amụma.
2 Onye ọbụla na-asụ asụsụ ọ na-amụghị amụ, bụ Chineke ka ọ na-agwa okwu, ọ bụghị mmadụ. N'ezie, ọ dịghị onye na-aghọta ihe ọ na-ekwu; n'ihi na okwu ọ na-ekwu bụ ihe omimi site n'ike Mmụọ Nsọ.
3 Ma onye ọbụla na-ebu amụma na-ezisa ozi na-enyere ndị mmadụ aka ito eto. Ọ na-agwakwa ha okwu nkasiobi na okwu na-ebuli mmụọ ha elu.
4 Ya mere, onye ahụ na-ebu amụma na-enyere chọọchị aka, ma onye ahụ na-asụ asụsụ ọzọ, na-enyere naanị onwe ya aka.
5 Ọ gaara atọ m ụtọ ma a sị na unu niile nwere onyinye ịsụ asụsụ dị iche iche; ma ọ ga-atọ m karịa ma ọ bụrụ na unu niile enwee onyinye ibu amụma. Nke a bụ n'ihi na

onye ahụ na-ebu amụma bara uru karịa onye na-asụ asụsụ dị iche iche. Ịsụ asụsụ
ya ga-aba uru ma ọ bụrụ na ọ dị onye na-aghọta ihe ọ na-asụ, ka e nwee ike wulie
chọọchị.
6 Ụmụnna m ọ bụrụ na m bịakwutere unu malite ịsụ asụsụ unu na-adịghị aghọta,
ole uru m baara unu, ma ọ bụghị ma m na-ekwu okwu banyere ihe ekpughere gosi
m, maọbụ ihe niile m maara, maọbụ ihe gaje ime, maọbụ ihe nkuzi? 7 Ọ bụkwa
otu a ka ọ dị n'etiti ihe niile na-enweghị ndụ, nke na-ada ụda, dịka ọja, maọbụ ụbọ
akwara. Ọ bụrụ na ha enyeghị ụda dị iche site na nke ọzọ, olee ụzọ mmadụ ga-eji
mara maọbụ ọja ka a na-afụ, maọbụ ụbọ akwara ka a na-akpọ. 8 Ọ bụrụkwa na opi
ike e ji akpọ ndị agha oku adapụtaghị ụda nke ọma, onye ga-ejikere ije agha? 9 N'otu
aka ahụ kwa, ọ bụrụ na ị na-agwa mmadụ okwu n'asụsụ ọ na-adịghị anụ, olee otu
ọ ga-esi ghọta ihe ị na-ekwu? N'oge ahụ, ifufe ka unu na-agwa okwu. 10 Asụsụ a
na-asụ n'ụwa a dị ukwuu, ma ha niile bara uru nye ndị na-anụ ha. 11 Ọ bụrụ na
m aghọtaghị ihe onye na-asụ otu n'ime asụsụ ndị a na-ekwu, aga m abụ ọbịa n'ebe
onye na-asụ asụsụ ahụ nọ, ya onwe ya ga-abụkwa ọbịa n'ebe m nọ. 12 Ebe ọ na-agụ
unu agụụ inweta onyinye nke Mmụọ Nsọ, chọọnụ onyinye ndị ahụ ga-enyere unu
aka iwuli nzukọ elu.
13 Onye ọbụla na-asụ asụsụ n'olu dị iche iche, ga-ekpe ekpere ka e nye ya onyinye
ịkọwa olu dị iche iche. 14 Ọ bụrụ na m ji asụsụ dị iche na-ekpe ekpere, mmụọ m
ga-eso m na-ekpe ekpere ahụ, ma uche m agaghị aghọta ekpere m na-ekpe. 15 Ọ bụrụ
na ọ dị otu a, olee ihe m ga-eme? Aga m eji mmụọ m kpee ekpere, jirikwa uche kpee
ekpere. Aga m ejikwa mmụọ m bụọ abụ, jirikwa uche m bụọ abụ. 16 Ma o bụghị
otu a, mgbe i ji asụsụ ọzọ nke a na-amaghị na-eto Chineke n'ime mmụọ, olee otu ndị
niile nọ n'ụlọ nzukọ ahụ na-aghọtaghị ihe ị na-ekwu ga-esi zaa Amen? 17 Ọ bụ ezie
na ị na-enye ekele nke ọma, ma ọ naghị ewuli onye ọbụla elu.
18 Ana m ekele Chineke n'ihi na ana m asụ asụsụ dị iche iche* karịa unu niile. 19 Ma
mgbe ọbụla a gbakọrọ na nzukọ ife ofufe, ọ na-akara m mma ikwu naanị mkpụrụ
okwu ise nke mmadụ niile ga-aghọta na nke ga-abakwara ha uru, karịa na m kwuru
puku mkpụrụ okwu iri n'asụsụ dị iche iche nke onye ọbụla na-apụghị ịghọta.
20 Ụmụnna m, unu abụla ụmụntakịrị n'echiche unu. Bụrụnụ ụmụntakịrị n'ihe
gbasara ime ihe ọjọọ, ma bụrụnụ ndị nwere uche n'ihe gbasara ụdị okwu a. 21 E
dere ya n'akwụkwọ iwu,

"Site na egbugbere ọnụ ndị mba ọzọ
sitekwa n'ire ndị na-asụ iche iche
ka m ga-agwa ndị a okwu,
ma ọbụladị otu a, ha agaghị ege m ntị,
ka Onyenwe anyị kwuru."†

22 Ịsụ asụsụ dị iche iche abụghị ihe nlere anya nye ndị kwere ekwe, kama ọ bụ
ihe ama nye ndị na-ekweghị ekwe. Ma ibu amụma bụ maka ndị kwere ekwe, ọ
bụghị maka ndị na-ekweghị ekwe. 23 Ọ bụrụ na nzukọ niile ezukọọ n'ọgbakọ ekpere,
mmadụ niile a na-asụ n'olu dị iche iche n'otu mgbe, ọ bụrụkwa na ndị na-aghọtaghị,
maọbụ ndị na-ekweghị ekwe abata n'ebe ahụ, gịnị ka ha ga-ekwu? Ha ọ gaghị asị
na isi emebiela ndị a? 24 Ma ọ bụrụ na onye na-ekweghị ekwe maọbụ onye ọhụrụ
abata mgbe onye ọbụla na-ebu amụma, ha ga-abụ ndị mmadụ niile ga-atụ mmehie ha
n'anya maakwa ha ikpe mmehie. 25 Mgbe a na-eme ka ihe nzuzo nke obi ha niile pụta
ìhè, onye dị otu a ga-egbu ikpere n'ala kpọọ isiala nye Chineke sị, "N'ezie, Chineke
nọ n'etiti unu."

### *Usoro Ofufe*

* **14:18** 14:18 Nke bụ ịsụ n'ire † **14:21** 14:21 Aịz 28:11,12

26 Ugbu a, ụmụnna m, kedụ otu o kwesiri ịdị? Mgbe ọbụla unu zukọrọ, ụfọdụ
kwesiri ịbụ abụ, onye ọzọ ga-ezi unu ihe; maọbụ gwa unu ozi dị mkpa e gosiri ya,
maọbụ jiri asụsụ nke ọ na-amụghị gwa unu okwu, ka onye ọzọ kọwaa ihe onye ji
asụsụ a dị iche kwuo okwu kwuru. Ma ka ihe ọbụla e mere n’ime ụlọ chọọchị bụrụ
ihe ga-ewuli onye ọbụla elu. 27 A sịkwa na ọ dị ndị chọrọ iji asụsụ dị iche kwuo okwu,
ka mmadụ abụọ maọbụ atọ kwuo. Kama ka ha kwuo n’otu n’otu n’usoro. Ka onye
ga-akọwa ihe ha kwuru nọrọkwa n’ebe ahụ. 28 Ọ bụrụ na ọ dịghị onye ga-akọwa
ihe ha na-asụ, ka onye ahụ na-asụ asụsụ dị iche na chọọchị mechie ọnụ ya. Ya na
Chineke sụrịta ya.
29 Ka mmadụ abụọ maọbụ atọ nwere onyinye ibu amụma kwuo okwu n’otu n’otu,
ka ndị ọzọ tulee ihe ha kwuru. 30 Ọ bụrụ na-ekpughere onye ọzọ nọdụ n’akụkụ ya
ihe, ka onye mbụ mechie ọnụ ya. 31 N’ihi na unu nwere ike ibu amụma n’otu n’otu,
ka mmadụ niile nwee ike ịmụta ihe ma bụrụkwa ndị a gbara ume. 32 Mmụọ niile
nke ndị amụma ka a na-edokwa n’okpuru ndị amụma. 33 N’ihi na Chineke abụghị
Chineke nke aghara, kama ọ bụ nke udo. Otu a ka ọ dị n’ime ọgbakọ niile nke ndị
nsọ.
34 Ụmụ nwanyị ekwesighị ikwu okwu n’ime chọọchị. Ha ekwesighị itinye ọnụ na
ntụgha ụka ọbụla, n’ihi na iwu kwuru ka ha debe onwe ha n’okpuru ndị ọchịchị.
35 Ọ bụrụ na ọ dị ihe ha chọrọ ịmata, ha jụọ di ha mgbe ha lara n’ụlọ. N’ihi na ọ bụ
ihe ihere na nwanyị ga-ekwu okwu n’ime ọgbakọ chọọchị.
36 Unu chere na okwu Chineke malitere n’aka unu? Unu chekwara na ọ ga-akwụsị
n’aka unu? Ụgha! 37 Ọ bụrụ na ọ dị onye na-eche na ya bụ onye amụma, maọbụ
na ya nwere onyinye nke Mmụọ Nsọ, naanị ihe m na-achọ ka ọ ghọta bụ na ihe m
na-edere unu bụ iwu Onyenwe anyị n’onwe ya nyere m. 38 Ọ bụrụ na ọ dị onye
nọgidere jụ ịnabata ihe ndị a, unu aṅala ya ntị.
39 Ya mere, ụmụnna m, ka ibu amụma bụrụ ihe na-agụ unu agụụ, unu egbochikwala
onyinye nke ịsụ n’ire dị iche iche. 40 Ma meenụ ihe niile n’ụzọ dị mma, ka ha dịkwa
n’usoro.

# 15

*Mbilite n’ọnwụ Kraịst*

1 Ụmụnna m, ugbu a achọrọ m ime ka unu cheta oziọma ahụ m ziri unu mgbe m
buru ụzọ bịakwute unu, nke unu kweere na ya, na nke unu guzosikwara ike n’elu
ya. 2 E si n’oziọma a zọpụta unu, ma ọ bụrụ na unu ejiri obi unu niile jidesie ihe unu
kweere na ya ike. Inwe okwukwe n’ihe ọzọ dị iche agaghị enyere unu aka.
3 Ihe m nyefere unu n’aka na mbụ bụ ozi ahụ m natara ị debe, nke dị oke mkpa,
na Kraịst nwụrụ ọnwụ n’ihi mmehie anyị, dịka akwụkwọ nsọ kwuru na ọ ga-anwụ.
4 Na e liri ya, ma e mere ka o si n’ọnwụ bilie n’ụbọchị nke atọ, dịka akwụkwọ nsọ
kwukwara na ọ ga-eme. 5 O gosiri Sefas* onwe ya, emesịa, ndị ozi iri na abụọ ahụ
hụkwara ya. 6 Emesịakwa, o gosiri ihe karịrị narị mmadụ ise n’ime ụmụnna onwe
ya, n’otu mgbe, ọtụtụ n’ime ndị ahụ ka nọ ndụ taa, ọ bụ ezie na ụfọdụ n’ime ha adaala
n’ụra ọnwụ. 7 Emesịa, Jemis hụrụ ya; o mekwara ka ndị ozi niile hụ ya. 8 N’ikpeazụ,
mụ onwe m hụkwara ya, dịka a ga-asị na m bụ nwa a na-amụghị n’oge.
9 N’ihi na ọ bụ m kachasị nta n’ime ndị ozi. O kwesikwaghị ka a akpọọ m onyeozi ya
n’ihi na alụsoro m nzukọ Chineke ọgụ nke ukwuu. 10 Ma site n’amara nke Chineke,
abụ m ihe m bụ. Ọ pụtakwara na amara ya n’ebe m nọ abụghị ihe efu. Kama arụsịrị
m ọrụ ike karịchasịa ndị ozi niile. Ma n’ezie, ọ bụghị m na-arụ ọrụ a, kama ọ bụ
Chineke n’onwe ya na-arụ ọrụ ya n’ime m. 11 Ma ọ bụ m, maọbụ ndị ọzọ, otu a ka
anyị siri kwusaa, otu a ka unu sikwa kwere.

* **15:5** 15:5 Ya bụ, Pita

*Mbilite n'ọnwụ nke ndị nwụrụ anwụ*

12 Ma ọ bụrụ na a na-ekwusa na Kraịst si n'ọnwụ bilie, gịnị mere ụfọdụ unu ji na-
ekwu na ndị nwụrụ anwụ apụghị isi n'ọnwụ bilie ọzọ. 13 Ọ bụrụ na ndị nwụrụ anwụ
a pụghị i si n'ọnwụ bilie, nke a pụtara na e meghị ka Kraịst site n'ọnwụ bilie. 14 Ọ
bụrụkwa na e meghị ka Kraịst si n'ọnwụ bilie, ihe anyị na-ezisa bụ ihe efu, okwukwe
unu nwere bụkwa ihe efu. 15 Ma karịa nke a, a na-ahụta anyị ka ndị ama ụgha nke
Chineke, n'ihi na anyị gbara ama banyere Chineke, na-asị na o mere ka Kraịst si
n'ọnwụ bilie, bụ onye ọ na-emeghị ka o si n'ọnwụ bilie ma ọ bụrụ na-emeghị ka ndị
nwụrụ anwụ dị ndụ ọzọ. 16 N'ihi na, ọ bụrụ na a pụghị ime ka ndị nwụrụ anwụ bilie
dị ndụ ọzọ, emekwaghị ka Kraịst si n'ọnwụ bilie. 17 Ma ọ bụrụ na-emeghị ka Kraịst
si n'ọnwụ bilie, okwukwe unu bụ ihe efu, unu ka ga-anwụ na mmehie unu. 18 Mgbe
ahụ ndị nwụrụ anwụ n'ime Kraịst lara n'iyi. 19 Ọ bụrụkwa na olileanya anyị n'ime
Kraịst gwụrụ naanị na ndụ anyị n'ime ụwa a, anyị bụ ndị e kwesiri ka e mere ebere.
20 Ma e mere ka Kraịst si n'ọnwụ bilie n'ezie, onye mbụ n'etiti ndị niile nwụrụ
anwụ. 21 N'ihi na dịka ọnwụ si site n'aka otu nwoke bịa, otu a kwa ka mbilite n'ọnwụ
si site n'aka otu nwoke bịa. 22 Dịka mmadụ niile si anwụ site n'aka Adam, otu a kwa
ka mmadụ niile ga-esi dịkwa ndụ n'ime Kraịst. 23 Onye ọbụla ga-ebili n'usoro nke ya,
Kraịst mkpụrụ mbụ si n'ọnwụ bilie. Mgbe ọ lọghachiri, ndị niile bụ ndị nke Kraịst
ga-esote. 24 Mgbe nke a gasịrị, ọgwụgwụ ihe niile ga-abịa, mgbe ọ ga-enyefe alaeze
n'aka Chineke bụ Nna, n'ihi na o meriela ịchị isi niile, na ikike niile na ike niile.
25 N'ihi na ọ ga-abụ eze tutu ruo mgbe ọ lụgburu ndị iro ya niile, doo ha n'okpuru
ụkwụ ya. 26 Onye iro ikpeazụ a ga-emeri bụ ọnwụ. 27 N'ihi na "O doola ihe niile
n'okpuru ụkwụ ya."† Ma mgbe ọbụla asịrị, "e doola ihe niile" n'okpuru ụkwụ ya, o
doro anya na Chineke agụnyeghị onwe ya, n'ihi na ọ bụ ya tinyere ihe niile n'okpuru
Kraịst. 28 Mgbe e merela ka ihe niile nọrọ n'okpuru ya, mgbe ahụ, Ọkpara ya n'onwe
ya, ga-edobe onwe ya n'okpuru onye ahụ dobere ihe niile n'okpuru ya, ka Chineke
bụrụ onye na-achị ihe niile.
29 Ma ọ bụghị otu a, gịnị mere ụfọdụ ji eme ndị otu ha baptizim n'ọnọdụ ndị
nwụrụ anwụ? Ọ bụrụ na e meghị ka ndị nwụrụ anwụ si n'ọnwụ bilie ma ọlị, n'ihi
gịnị ka a na-eme mmadụ ndị a baptizim n'ọnọdụ ha? 30 Gịnị mere anyị ji nọrọ n'ize
ndụ n'oge awa ọbụla? 31 N'ịgwa unu eziokwu, ụmụnna m, ana m ezute ọnwụ kwa
ụbọchị. Ihe m ji kwupụta nke a bụ n'ihi ịnya isi nke m ji unu anya n'ime Jisọs Kraịst,
Onyenwe anyị. 32 Ọ bụrụ na ndụ anyị na-agwụ n'ụwa a, dịka ndị mmadụ na-ekwu,
gịnị bụkwanụ uru m nwere n'ihi ọgụ m na-alụso anụ ọhịa, bụ ndị ikom Efesọs? Ọ
bụrụ na a gaghị eme ka ndị nwụrụ anwụ bilie,

"Ka anyị rienụ, ṅụọkwanụ,
n'ihi na echi anyị ga-anwụ."‡

33 Unu ekwela ka e duhie unu. N'ihi na mkparịkọta agwa ọjọọ na-emebi ezi agwa.
34 Sitenụ na ndụ enweghị nghọta unu lọghachita dịka unu kwesiri, unu emehiekwala
ọzọ. N'ihi na-enwere ụfọdụ bụ ndị na-amaghị Chineke. Ana m ekwu nke a ka ihere
mee unu.

*Mbilite n'ọnwụ nke anụ ahụ*

35 Ma ụfọdụ ga-ajụ, "Olee otu a ga-esi mee ka onye nwụrụ anwụ bilie? Olee ụdị ahụ
ha ga-enwe mgbe ha ga-apụta?" 36 Onye nzuzu! Mkpụrụ ọka i tinyere n'ala agaghị
epu ma ọ bụrụ na o bughị ụzọ nwụọ. 37 Mgbe ị na-agha mkpụrụ, ọ bụghị anụ ahụ nke
ga-apụta ka ị na-agha, kama ọ bụ naanị mkpụrụ nkịtị, eleghị anya mkpụrụ ọka wiiti,
maọbụ mkpụrụ ọzọ. 38 Ma Chineke na-enye ya ahụ dịka o si chọọ. Ọ na-enyekwa
mkpụrụ ọbụla n'ime mkpụrụ niile ahụ nke kwesiri ya. 39 Anụ ahụ niile abụghị otu,
mmadụ nwere anụ ahụ dị iche, anụ ọhịa nwere ụdị anụ ahụ nke ha. Anụ ufe nwere

† **15:27** 15:27 Abụ 8:6 ‡ **15:32** 15:32 Aịz 22:13

anụ ahụ ha, azụ nwekwara nke ha. 40 Ahụ nke eluigwe na ahụ nke ụwa dịkwa. Ma
ịma mma na ebube nke ahụ nke eluigwe bụ otu, ịma mma na ebube nke ahụ nke
ụwa dịkwa iche. 41 Anyanwụ nwere ebube nke ya, ọnwa nwekwa nke ya, kpakpando
nwekwara ebube nke ya. Kpakpando dịkwa iche site n'ibe ya n'ịma mma na ebube.
42 Otu a ka ọ dị n'ebe mbilite n'ọnwụ ndị nwụrụ anwụ dị. Mgbe e liri anụ ahụ anyị,
ihe nwụrụ anwụ na nke pụrụ ire ure ka ọ bụ, ma mgbe e mere ka o si n'ọnwụ bilie,
ọ gaghị anwụkwa ọzọ. 43 A na-eli ahụ onye nwụrụ anwụ dịka ihe enweghị ugwu, ma
a na-eme ka o si n'ọnwụ bilie n'ebube. A na-eli onye nwụrụ anwụ n'adịghị ike, ma
a na-eme ka o si n'ọnwụ bilie n'ịdị ike. 44 A na-eli onye nwụrụ anwụ dịka anụ ahụ
nkịtị, ma a na-eme ka o jiri ahụ nke mmụọ kulite.
Ọ bụrụ na e nwere anụ ahụ nkịtị, e nwekwara ahụ nke mmụọ. 45 E dere ya,
"Mmadụ mbụ, bụ Adam, ghọrọ mkpụrụobi dị ndụ, Adam nke ikpeazụ bụ mmụọ
na-enye ndụ."§ 46 Ma mmụọ e bughị ụzọ, kama ọ bụ ahụ nkịtị, ma mmụọ bịara
n'ikpeazụ. 47 Mmadụ nke nwoke sitere n'ala, ejikwa aja kpụọ ya; mmadụ nke abụọ
si n'eluigwe bịa. 48 Dị ka mmadụ nke mbụ ahụ e jiri aja kpụọ dị, otu a ka ndị niile
si n'aja pụta dịkwa. Ma dị ka mmadụ nke eluigwe ahụ dị, otu a ka ndị niile bụ ụmụ
eluigwe dịkwa. 49 Dịka anyị niile yikwasịrị onyinyo nke nwoke e jiri aja kpụọ, otu
ahụkwa ka anyị ga-esi yikwasị onyinyo nke nwoke nke eluigwe.
50 Ihe m na-ekwu, ụmụnna m, bụ na anụ ahụ na ọbara enweghị ike iketa alaeze
Chineke. Ihe na-ere ure agaghịkwa eketa ereghị ure. 51 Ma geenụ ntị ka m gwa
unu ihe omimi a! Ọ bụghị anyị niile na-aga ịnwụ, kama, a ga-enye anyị anụ ahụ
ọhụrụ nke pụrụ iche. 52 N'otu mgbe, n'otu ntabi anya, mgbe a ga-afụ opi ike ikpeazụ.
N'ihi na opi ga-ada, a ga-eme ka ndị nwụrụ anwụ si n'ọnwụ bilite na-ereghị ure. A
ga-agbanwekwa anyị. 53 N'ihi na a ghaghị ịgbanwe anụ ahụ anyị a nke na-anwụ
anwụ, nyekwa anyị ahụ nke na-agaghị anwụ ọzọ. 54 Mgbe ahụ nke a pụrụ ire ure
ga-eyikwasị ereghị ure, nke a pụrụ ịnwụ anwụ ga-eyikwasị anwụghị anwụ. Mgbe
ahụ, okwu ahụ e dere n'akwụkwọ nsọ ga-emezu, okwu ahụ sịrị, "Elomiela ọnwụ,
meriekwa ike ya niile."*
55 "Ọnwụ, olee ebe mmeri gị dị?
Ọnwụ, olee ebe ihe ụfụ gị dị?"†
56 N'ihi na ihe ahụ ọnwụ ji agbata mmadụ bụ mmehie, ma ihe na-enye mmehie ike
bụ iwu. 57 Ka ekele dịrị Chineke onye na-enye anyị mmeri site n'Onyenwe anyị Jisọs
Kraịst.
58 Ya mere, ụmụnna m ndị m hụrụ n'anya, kwụsienụ ike, bụrụnụ akwaa akwụrụ.
Nọgidenụ n'ọrụ Onyenwe anyị mgbe niile, ebe unu maara na ọrụ unu na-arụ n'ime
Onyenwe anyị abụghị ihe efu.

# 16

*Onyinye n'ihi ndị nsọ nọ na mkpa*

1 N'ihe niile banyere ụtụ ihe onyinye nke ndị nsọ, gbalịanụ mee dịka m nyere
ndị chọọchị dị n'akụkụ Galeshịa n'iwu. 2 Ụbọchị ụka niile, ka onye ọbụla site n'ihe ọ
kpatara n'izu ụka ahụ wepụta ụfọdụ ihe nke ọ ga-eji nye onyinye a. Unu e cherekwala
ịnakọta ihe onyinye ndị a ruo mgbe m ga-abịa. Ka a hapụ iche tutu ruo mgbe m bịara.
3 Mgbe m bịara, aga m edenye ndị ahụ kwesiri ntụkwasị obi, bụ ndị unu họpụtara
akwụkwọ nkọwa, ziga ha ibugara ndị nọ na Jerusalem onyinye obiọma unu. 4 Ọ
bụrụkwa na ọ dị mkpa na m ga-eso ha gaa, mụ na ha ga-esoro.

*Nzube Pọl*

§ **15:45** 15:45 Jen 2:7 * **15:54** 15:54 Aịz 25:8 † **15:55** 15:55 Hos 13:14

5 Aga m abịa ileta unu mgbe m gasịrị Masidonia. N'ihi na ana m ezube isi n'ụzọ
Masidonia abịa. 6 Mgbe m bịara, ọ na-adị m ka mụ na unu ga-anọ ogologo oge. Ma
eleghị anya, anyị ga-anọ tutu oge oyi agwụ. Mgbe ahụ site, n'inyeaka unu, aga m
ahapụ unu gaa ebe ọzọ. 7 N'ihi na-achọghị m ileta unu ugbu a m nọ n'ije ngafere.
Kama ana m ezube ịbịa nọnyere unu nwa oge, ma ọ bụrụ na Onyenwe anyị e kwenye.
8 Ma aga m anọ n'Efesọs tutu ruo oge Pentikọọsụ, 9 n'ihi na-emegheela ọnụ ụzọ dị
ukwuu nke na-arụpụta ezi ọrụ nye m, ma ha dị ọtụtụ bụ ndị na-eguzogide m.
10 Ọ bụrụ na Timoti abịa, lezienụ anya mee ka ọ ghara inwe ihe ọ ga-atụ egwu
mgbe ọ nọ n'etiti unu, n'ihi na ọ bụ onye na-arụ ọrụ Onyenwe anyị dịka m si arụ ya.
11 Ka onye ọbụla ghara ileda ya anya. Kama, dupunụ ya n'ije ya n'udo ka o nwe ike
lọghachikwute m. Mụ na ụmụnna ndị ọzọ na-ele anya nlọta ya.
12 Arịrịọ m nwanne anyị Apọlọs ka o soro ụmụnna ndị ọzọ bịa leta unu, ma ọ bụghị
uche ya ma ọlị ịbịakwute unu ugbu a. Ọ ga-abịa mgbe ọbụla ohere pụtara.
13 Na-echenụ nche mgbe niile, guzosienụ ike n'ime okwukwe unu. Dịrịnụ ka ndị
tozuru dimkpa, ndị dị ike. 14 Werenụ ịhụnanya na-arụ ọrụ ọbụla unu na-arụ.
15 Ugbu a, arịọ m unu ụmụnna m, unu maara na ezinaụlọ Stefanas bụ ndị mbụ
kwere ekwe n'ala Akaịa.* Ha nyekwara onwe ha maka ijere ndị nsọ ozi. 16 Ana m
arịọ unu ka unu na-asọpụrụ ndị dị otu a, nakwa onye ọbụla bụ onye otu anyị na
onye ọrụ anyị. 17 Obi tọrọ m ụtọ n'ọbịbịa nke Stefanas na Fọtunetus na Akaikọs. Ha
emelara m ihe unu gaara emere m, ma a sị na unu nọ n'ebe a. 18 Ha kwalitere mmụọ
m dịka ha kwalitere nke unu. Nyenụ ndị dị otu a nsọpụrụ.

### *Ekele ikpeazụ*

19 Ụlọ chọọchị niile dị n'okpuru Eshịa na-ezitere unu ozi ekele.
Akwila na Prisila, na nzukọ dị n'ụlọ ha na-enye unu ekele obiọma n'ime Onyenwe
anyị.
20 Ụmụnna niile nọ n'ebe a na-ekele unu.
Werenụ isurita ọnụ dị nsọ kelerịta onwe unu.

21 Ọ bụ mụ onwe m bụ Pọl ji aka m na-ede ekele nke a.

22 Ọ bụrụ na onye ọbụla ahụghị Onyenwe anyị n'anya, ka ọ bụrụ onye a bụrụ ọnụ.
Onyenwe anyị bịa!

23 Ka amara Onyenwe anyị Jisọs dịnyere unu.

24 Ka ịhụnanya m dịnyere unu niile site n'Onyenwe anyị Jisọs Kraịst. Amen.

* **16:15** 16:15 Akaịa bụkwa Griis.

# 2 Ndị Kọrint

1 Pọl, onyeozi nke Jisọs Kraịst dịka ọchịchọ nke Chineke si dị, na Timoti nwanne
anyị nwoke,

Na-edegara chọọchị Chineke nke dị na Kọrint, na ndị nsọ niile ndị nọ n’ala Akaịa
akwụkwọ:

2 Ka amara na udo nke sitere na Chineke Nna anyị, na Onyenwe anyị Jisọs Kraịst
dịrị unu.

*Ekele dịrị Chineke onye nkasiobi*

3 Otuto dịrị Chineke na Nna nke Onyenwe anyị Jisọs Kraịst, bụ Nna nke obi ebere,
nakwa Chineke nke nkasiobi niile. 4 Onye na-akasị anyị obi n’ime nsogbu anyị niile,
ka anyị site n’ụzọ dị otu a nwee ike ịkasị ndị ọzọ niile nọ na nsogbu dị iche iche obi.
Inyere ha aka dịka anyị onwe anyị si nata inyeaka site n’aka Chineke. 5 N’ihi na dịka
anyị si eketa oke n’ime ọtụtụ ahụhụ nke Kraịst, otu a nkasiobi anyị na-ababiga ụba
site na Kraịst. 6 Ma ọ bụrụ na anyị na-ahụ ahụhụ, ọ bụ n’ihi na nkasiobi unu, nakwa
nzọpụta unu. Ọ bụrụkwa na a na-akasị anyị obi, ọ bụkwa n’ihi nkasiobi unu, nke
na-arụpụta ike na ume iji ntachiobi die ụdị ahụhụ nke anyị onwe anyị na-edikwa.
7 Olileanya anyị nwere n’ebe unu nọ sịrị ike, ebe anyị maara na dịka unu si eketa oke
n’ịta ahụhụ anyị, otu ahụkwa ka unu ga-esi keta oke na nkasiobi ahụ anyị na-anata.
8 Anyị chọrọ ka unu mara ụmụnna m, ihe banyere nsogbu e sogburu anyị n’Eshịa.
N’ezie, nsogbu ahụ karịrị anyị ike, mee ka anyị hapụ inwekwa olileanya na anyị
ga-emesi dịrị ndụ. 9 N’ezie, ọ dị nnọọ n’oge ahụ, dịka a ga-asị na a mara anyị ikpe
ọnwụ. Ma anyị maara na o si otu a mee ka anyị nwee ike ịmụta na o kwesighị ka anyị
tụkwasị obi n’ike nke aka anyị, kama ka anyị nwee olileanya n’ime Chineke, onye
pụrụ ime ka ndị nwụrụ anwụ si n’ọnwụ bilie. 10 Ọ bụ Chineke bụ onye zọpụtara
anyị site n’ime oke ọnwụ dị otu a. Anyị nwekwara ntụkwasị obi na ọ ga-aga n’ihu
na-azọpụtakwa anyị, 11 dịka unu ga-enyekwara anyị aka site n’ekpere unu, ka ọtụtụ
nwere ike nye ekele n’ihi anyị maka onyinye amara anyị natara na nzaghachi ekpere
ọtụtụ mmadụ ndị a na-ekpere anyị.

*Mgbanwe nzube Pọl*

12 Ịnya isi anyị bụ nke a, na akọnuche anyị na-agbara anyị akaebe na anyị kpara
agwa ọma n’ụwa, karịchasịa n’ebe unu nọ, n’ịdị nsọ na izi ezi nke si n’aka Chineke.
Nke a bụ site n’amara o nyere anyị, ọ bụghị site n’amamihe nke mmadụ. 13 N’ihi
na ihe anyị na-edere unu abụghị ihe unu na agaghị agụta maọbụ ghọta. Enwere m
nchekwube na unu ga-aghọta ya nke ọma. 14 Dịka unu ghọtarala anyị nwa nke nta
ugbu a, unu ga-eji anyị anya isi n’ụbọchị nke Onyenwe anyị Jisọs.
15 Ihe m na-ekwu were m anya, nke mere m ji chọọ ibu ụzọ bịa leta unu ka unu nwee
uru abụọ. 16 Ebu m ya n’obi na m ga-akwụsị hụ unu mgbe m na-agafe ịga Masidonia.
Ebukwa m ya n’obi m na mgbe m si Masidonia na-alaghachi na m ga-akwụsịkwa
ileta unu, ka unu nweekwa ike inyere anyị aka mgbe anyị bidoro ịlaghachi Judịa.
17 E nwere m obi abụọ mgbe m chọrọ ime nke a? Ana m ezube nzube m dịka mmadụ
nkịtị, onye dị nkwadobe ikwu “E,” na “E e,” n’otu oge ahụ?
18 Ma dịka Chineke si bụrụ onye kwesiri ntụkwasị obi, okwu anyị gwara unu abụghị
“E,” na “E e.” 19 N’ihi na Ọkpara Chineke, Jisọs Kraịst, onye e sitere n’ọnụ Saịlas na

Timoti na mụ onwe m kwusaa abụghị “E” na “E e,” kama n’ime ya ọ bụ naanị “E.”
[20] N’ime Kraịst ka anyị hụrụ “E” na nkwa niile nke Chineke kwere ụmụ mmadụ. Nke
a mere anyị ji site na ya kwee “Amen” n’inye Chineke otuto. [21] Ọ bụ Chineke n’onwe
ya mere ka anyị na unu guzosie ike n’ime Kraịst. O meela ka anyị bụrụ ndị e tere
mmanụ. [22] Ọ kara anyị akara n’ihu, nyekwa anyị Mmụọ Nsọ ya ka o biri n’obi anyị,
dịka onye ga-ahụ na anyị ga-emezu nkwa ahụ niile.
[23] Ana m akpọku Chineke dịka onye akaebe m, ọ bụ n’ihi ịnapụta unu mere m ji
hapụ ịbịa Kọrint. [24] Ọ bụghị na anyị bụ ndị ọchịchị nke okwukwe unu, kama anyị
so unu na-arụkọ ọrụ ka unu nwe ọṅụ n’ihi na ọ bụ site n’okwukwe ka unu ga-esi
kwụrụ chịm.

# 2

[1] Ekpebiri m n’ime obi m na-agaghị m abịakwute unu ọzọ, iwetara unu ihe mwute.
[2] N’ihi na ọ bụrụ na m eme ka obi jọọ unu njọ, onye kwanụ ga-akasị m obi ma ọ bụghị
unu, unu onwe unu ndị m mere ka obi jọọ njọ? [3] E deere unu akwụkwọ a dịka m
kwesiri ime ka m ghara inwe mwute mgbe m bịara, site n’aka ndị kwesiri ime ka obi
dị m mma, n’ihi na o doro m anya na ọṅụ m ga-abụ ọṅụ nke unu niile. [4] Eji m anya
mmiri dị ukwuu na oke obi mgbu na obi mgbawa deere unu akwụkwọ, ọ bụghị ka
m kpasuo unu iwe kama ka unu nwee ike ịmata oke ịhụnanya m nwere n’ebe unu
nọ.

### *Mgbaghara dịrị onye mmehie*

[5] Ọ bụrụ na onye ọbụla mere ihe butere obi mgbu, ka a hapụ ikwu ya karịa ka o
kwesiri, ọ bụghị naanị m ka o wetaara obi mgbu, o wetakwaara unu niile obi mgbu.
[6] N’ihi na ntaramahụhụ unu niile kpebiri nye ya ezuola. [7] Ugbu a, bikonu ụmụnna
m, o kwesiri ka unu gbaghara ya, ma kasịe ya obi, ka ọ hapụ inwe obi ilu maọbụ daa
mba na mmụọ ya, rubiga ụjụ oke. [8] Ya mere ana m arịọ unu, bikonu, gosinụ ya na
unu hụrụ ya nnọọ n’anya. [9] Ihe mere m ji dee ihe m dere n’akwụkwọ nke mbụ bụ
ka m chọpụta ma unu jikekwara mgbe niile irube isi n’ihe niile. [10] Ọ bụrụ na unu
agbaghara onye ahụ mụ onwe m kwa agbagharala ya. Mgbaghara m, a sịkwa na o
nwere ihe m na-agbaghara, ana m eme ya n’ihi unu n’ihu Kraịst. [11] Anyị na-eme nke
a ka Ekwensu ghara ịghọgbu anyị. Anyị maara ihe niile ọ na-ezube.

### *Ndị ozi nke ọgbụgba ndụ ọhụrụ*

[12] Mgbe m bịarutere Troas ikwusa oziọma Kraịst, e megheere m ụzọ n’ime
Onyenwe anyị. [13] Ma enweghị m izuike n’ime obi m, n’ihi na ahụghị m Taịtọs ezi
nwanna m n’ebe ahụ. Nke a mere m jiri kelee ha hapụ ha gawa Masidonia.

### *Mmeri na-adị site na Kraịst*

[14] Ma ekele dịrị Chineke, onye na-edugharị anyị na-enye anyị mmeri, n’ihi njikọ e
jikọtara anyị na Kraịst, onye na-eji anyị arụ ọrụ, ime ka onye ọbụla nụrụ isisi ụtọ
nke oziọma ya. [15] N’ihi na anyị bụ mmanụ isi ụtọ nke Kraịst nye Chineke, n’etiti ndị
ọ na-azọpụta na n’etiti ndị na-ala n’iyi. [16] N’etiti ndị ahụ na-ala n’iyi, isisi ụtọ a bụ
ihe na-ewetara ha ọnwụ, ma n’etiti ndị ahụ a na-azọpụta, ọ bụ isisi ụtọ a na-ewetara
ha ndụ. Onye zuru ime ihe ndị a? [17] N’ihi na anyị adịghị ka ọtụtụ mmadụ ndị na-eji
okwu Chineke azụ ahịa. Kama, n’ime Kraịst anyị na-ekwu okwu anyị site n’obi dị
ọcha, dịka ndị ahụ Chineke zipụrụ ịrụ ọrụ a.

# 3

### *Ndị ozi ọgbụgba ndụ ọhụrụ*

[1] Anyị na-ebido ito onwe anyị ọzọ? Ọ dị a mkpa anyị inye unu, maọbụ ịnata n’aka
unu akwụkwọ nkọwa iji too onwe anyị dịka ụfọdụ mmadụ ndị ọzọ si eme? [2] Unu

onwe unu bụ akwụkwọ ozi anyị nke e dere n'obi anyị nke mmadụ niile maara ma
gụọkwa. 3 Unu na-egosikwa na unu bụ akwụkwọ ozi si n'ebe Kraịst nọ, mpụta ihe
nke ozi anyị jere. Ọ bụghị ihe e ji inki* dee na mbadamba nkume, kama ọ bụ mmụọ
Chineke na-adị ndụ ka e ji dee ya na mbadamba obi mmadụ.
4 Nke a bụ ntụkwasị obi anyị nwere site na Kraịst n'ebe Chineke nọ. 5 Ọ dịkwaghị
mgbe anyị ji chee n'ime onwe anyị, na anyị nwere ike ime ihe ọbụla bara uru site
n'ike aka anyị, kama ihe ọbụla anyị nwere, ihe ọbụla anyị rụpụtara, sitere n'aka
Chineke. 6 Onye mere ka anyị zuo oke ịbụ ndị ozi ya nke ọgbụgba ndụ ọhụrụ, nke
edeghị n'akwụkwọ iwu kama n'ime Mmụọ. Ihe e dere n'akwụkwọ iwu na-eweta
ọnwụ, ma Mmụọ na-enye ha ndụ.

*Ebube nke ọgbụgba ndụ ọhụrụ*

7 Ma ọ bụrụ n'ije ozi ahụ nke na-eweta ọnwụ bụ nke e gbunyere n'elu nkume ji
ebube dị ukwuu bịa, nke mere na ụmụ Izrel apụghị ilegide Mosis anya n'ihu mgbe o
si n'elu ugwu Saịnaị rịdata n'ihi ebube nke ihu ya, bụ ebube nke na-agabiga agabiga,
8 ọ bụ n'ije ozi nke Mmụọ nsọ agaghị adị ebube karịa? 9 Ọ bụrụ na-enwere ebube
n'ime ije ozi nke amamikpe, ije ozi nke ezi omume ga-adị ebube karịa ya. 10 N'ezie,
ihe jupụtara n'ebube mgbe ochie enwekwaghị ebube ọbụla ugbu a, n'ihi na ebube
nke ọgbụgba ndụ ọhụrụ ekpuchiela ya. 11 Ọ bụrụ na ihe na-agafe agafe nwere ebube
dị otu a, ihe ga-anọgide mgbe niile ga-enwe ebube karịa ya.
12 Ya mere, ebe ọ bụ na anyị nwere olileanya dị otu a, anyị enweghị egwu ọbụla.
13 Anyị agaghị adị ka Mosis onye weere akwa kpuchie ihu ya, n'ihi na ọ chọghị ka
ụmụ Izrel hụ ebube ahụ na-agbanwe agbanwe. 14 Kama e mechiri obi ha ruo taa.
N'ihi na mgbe ọbụla ha gụrụ akwụkwọ ọgbụgba ndụ ochie ahụ, akwa mkpuchi ahụ
na-anọgidekwa apụghị apụ n'obi ha, n'ihi na ọ bụ naanị site n'ime Kraịst ka ọ ga-
eji pụọ. 15 Ee, tutu ruo taa, mgbe ọbụla ha na-agụ akwụkwọ iwu ahụ Mosis dere,
ihe mkpuchi na-adịgide n'obi ha. 16 Ma mgbe onye ọbụla tụgharịrị n'ebe Onyenwe
anyị nọ, a na-ewepụ akwa mkpuchi ahụ. 17 N'ihi na Onyenwe anyị bụ Mmụọ, ma
ebe ọbụla kwa Mmụọ Onyenwe anyị nọ, n'ebe ahụ ka mmadụ pụrụ inwere onwe
ya. 18 Anyị niile bụ ndị e wepụrụla akwa mkpuchi site n'ihu, na-egosi ebube nke
Onyenwe anyị. A na-agbanwe anyị ịbanye n'oyiyi ya site n'ebube ruo n'ebube, nke
si n'aka Onyenwe anyị, onye bụ Mmụọ.

# 4

*Akụ ebube dị n'ite aja*

1 Ya mere, ebe anyị natara ije ozi a site n'ebere Chineke, ike adịghị agwụ anyị
n'obi. 2 Anyị ahapụla omume nzuzo niile na-eweta ihere. Anyị ahapụla ụzọ aghụghọ
niile, maọbụ iji okwu Chineke na-atụ asị. Kama site n'ikwupụta eziokwu ahụ ka
ndị mmadụ were ezi akọnuche ha mata ụdị mmadụ anyị bụ n'ihu Chineke. 3 Ma a
sịkwa na oziọma nke anyị na-ekwusa dịka ihe e zoro ezo, ọ bụ ihe e zoro ezo nye
ndị ahụ na-ala n'iyi. 4 N'ebe ha nọ, chi nke ụwa a ekpuchiela uche ndị na-ekweghị
ekwe iji gbochie ha ịhụ ìhè nke oziọma ahụ na-ezipụta ebube Kraịst, onye dị n'ụdị
Chineke n'onwe ya. 5 N'ihi na ọ bụghị anyị onwe anyị ka anyị na-ekwusa, kama anyị
na-ekwusa na Kraịst Jisọs bụ Onyenwe anyị. Ma anyị onwe anyị bụ ụmụodibo unu
n'ihi Jisọs. 6 N'ihi na ọ bụ Chineke ahụ sịrị, ka ìhè si n'ọchịchịrị chawapụta;* bụkwa
onye mere ka ìhè ya nwuwa n'ime obi anyị. Nke a ka o mere iji wetara anyị ìhè
amamihe nke ebube Chineke n'ihu Kraịst.
7 Anyị onwe anyị bụ ndị natara akụ nke dị oke ọnụahịa dị n'ime ite ụrọ, iji gosi
na ike kacha elu si n'aka Chineke, ọ bụghị n'aka anyị. 8 A na-akpagbu anyị n'akụkụ

* **3:3** 3:3 Ya bụ, mkpisi akwụkwọ * **4:6** 4:6 Jen 1:3

niile, ma adịghị emeri anyị. Mgbe ụfọdụ, anyị nọ na mgbagwoju anya ma anyị adịghị
ada mba. 9 A na-esogbu anyị, ma adịghị ahapụ naanị anyị; mgbe ụfọdụ, a na-akụtu
anyị n'ala ma adịghị ala anyị n'iyi. 10 Ọtụtụ mgbe, anyị na-ebugharị n'ahụ anyị ọnwụ
Jisọs, ka ndụ nke Jisọs nwekwa ike pụta ìhè n'ahụ anyị. 11 Mgbe ọbụla anyị dị ndụ,
anyị nọ n'ọnwụ n'ihi Jisọs, ka ndụ Jisọs nwee ike pụta ìhè n'ahụ anyị pụrụ ịnwụ
anwụ. 12 Nke a pụtara na ọnwụ na-arụsị ọrụ ike n'ime anyị, ma na ndụ na-arụ ọrụ
n'ime unu.
13 Ebe ọ bụ na anyị nwere otu mmụọ nke okwukwe ahụ, dịka e si dee n'akwụkwọ
nsọ, "Ekweere m, ya mere m ji kwuo."† Anyị onwe anyị kwekwara, n'ihi nke a mere
anyị ji na-ekwu, 14 ma anyị maara na onye mere ka Onyenwe anyị Jisọs si n'ọnwụ
bilie, ga-emekwa ka anyị soro Jisọs si n'ọnwụ bilie, ma kpọbatakwa anyị na unu
n'ihu ya. 15 Ihe ndị a niile bụ maka n'ihi unu, ka ọ ga-abụ amara na-abawanye irute
ọtụtụ mmadụ aka, ka o nwee ike na-abawanye inye ekele maka otuto nke Chineke.
16 Ọ bụ nke a mere ike adịghị agwụ anyị n'obi. Ọ bụ ezie na anụ ahụ anyị na-anwụ
anwụ, ma a na-agba mmụọ anyị ume kwa ụbọchị. 17 Nwantịntị ahụhụ nke anyị na-
ata ugbu a, nke na-adị nwa oge, na-akwadoro anyị otuto ebighị ebi dị ukwuu. 18 N'ihi
na anyị adịghị ele ihe anya nwere ike ịhụ, kama anyị na-ele anya n'ihe ahụ anya
na-adịghị ahụ. N'ihi na ihe ahụ anya na-ahụ na-adị naanị nwa oge, ma ihe ahụ anya
na-adịghị ahụ na-adị ruo mgbe ebighị ebi.

# 5

### *Ebe obibi anyị n'eluigwe*

1 N'ihi na anyị ma nke ọma na mgbe e mebiri ụlọ ikwu nke anyị bi n'ime ya, bụ
ụlọ nke ụwa a, anyị nwere ụlọ nke sitere na Chineke, ụlọ nke ejighị aka wuo, ga-adị
ebighị ebi n'eluigwe. 2 Ugbu a anyị nọ na-asụ ude, na-enwe agụụ inweta ebe obibi
anyị dị n'eluigwe. 3 Ka ọ ga-abụ anyị yiri ya, ka anyị hapụ ịdị ka ndị gba ọtọ. 4 Mgbe
ahụ niile anyị nọ n'ime ụlọ ikwu a,* anyị na-anọgide n'ịsụ ude nke ibu arọ. Ọ bụghị
n'ihi na anyị chọrọ ịnwụ anwụ bụrụ ndị na-enweghị anụ ahụ, kama ọ bụ n'ihi na
anyị chọrọ ka e yikwasị anyị anụ ahụ nke eluigwe ahụ, ka anụ ahụ a pụrụ ịnwụ
anwụ yikwasị ndụ ebighị ebi. 5 Chineke onye ya onwe ya, bụ onye kwadobere anyị
maka mgbanwo nke a, nyekwara anyị Mmụọ Nsọ ka ọ bụrụ onye ga-ahụ na anyị
ga-enwetazu nkwa ahụ niile.
6 N'ihi nke a, anyị nwere obi ike mgbe niile, n'ihi na anyị maara na mgbe anyị
na-aga n'ihu na-adị ndụ n'anụ ahụ a, anyị na Onyenwe anyị anọghị. 7 N'ihi ọ bụ
okwukwe ka anyị ji adị ndụ ọ bụghị ihe anya hụrụ. 8 Obi siri anyị ike. Ọ gaara amasị
anyị ịhapụ ụlọ nke a anyị bi na ya, bụ ahụ anyị ma lakwuru Onyenwe anyị n'ebe
obibi ya. 9 Ya mere, ma anyị nọ n'ụlọ a maọbụ n'ọzọ, ihe anyị chọrọ bụ ka anyị mee
ihe ga-atọ ya ụtọ. 10 N'ihi na anyị niile ga-eguzo n'ihu oche ikpe Kraịst, mgbe ahụ
onye ọbụla n'ime anyị, n'otu n'otu, ga-anata ụgwọ ọrụ dịka ihe ọ rụrụ na-anụ ahụ
ya mgbe ọ nọ n'ime ụwa si dị, maọbụ ezi ihe maọbụ ihe ọjọọ.

### *Ije ozi nke ịdị na mma*

11 Ọ bụ n'ihi na anyị maara nnọọ ihe ịtụ egwu Onyenwe anyị pụtara, ka anyị
ji na-arụsị ọrụ ike ka ndị mmadụ mata Chineke makwaara ụdị mmadụ anyị bụ.
Enwekwara m olileanya na nke a pụtara ihe nye akọnuche unu. 12 Anyị adịghị agbalị
ịgwa unu na anyị dị mma, kama anyị chọrọ inye unu ihe unu ga-eji nyaa isi mgbe
unu na-ekwu ihe banyere anyị, ka unu nwee ike ịmata ihe unu ga-azaghachi ndị ahụ
na-anya isi banyere ihe ha ji anya ha hụ, kama ihe dị mmadụ n'obi. 13 Ọ bụrụ na
anyị amaghị onwe anyị, ọ bụ n'ihi Chineke, ọ bụrụ na anyị nwere uche zuruoke, ọ

---

† **4:13** 4:13 Abụ 116:10 * **5:4** 5:4 Anụ ahụ nke ụwa

bụ n'ihi unu. [14] Ọ bụ ịhụnanya Kraịst na-akwagide anyị, n'ihi na anyị kwere na otu
onye nwụrụ maka mmadụ niile, nke pụtara na mmadụ niile anwụọla. [15] Ọ nwụrụ
n'ihi mmadụ niile, ka ndị dị ndụ gharakwa ịdịrị onwe ha ndụ ọzọ, kama maka onye
ahụ nwụrụ n'ihi ha ma sikwa n'ọnwụ kulie.
[16] Bido ugbu a gawa, anyị adịghị elekwa onye ọbụla anya dịka mmadụ nkịtị. N'ihi
na anyị sitere n'ụzọ dị otu a lee Kraịst anya, chee na ọ bụ mmadụ efu. Ma ugbu a,
anyị amakwaghị ya n'ụzọ dị otu a. [17] Ya mere, ọ bụrụ na onye ọbụla amalite ịdị ndụ
n'ime Kraịst, ọ ghọọla onye e kere ọhụrụ, ihe ochie agaala, nke ọhụrụ anọchie. [18] Ma
ọ bụ Chineke bụ onye na-eme ihe ndị a. Ọ bụ ya onwe ya sitere n'aka Kraịst mee ka
anyị na ya dịrị n'udo. Ma ugbu a, o nyela anyị ọrụ ije ozi, ịkpọ ndị ọzọ ka ha bịa ka
ya na ha dịrịkwa n'udo. [19] Ihe nke a pụtara bụ na Chineke sitere na Kraịst na-eme ka
ya na ụwa dị na mma. Ọ dịghị agụkọrọ ụmụ mmadụ mmehie niile, kama o tinyela
n'aka anyị ozi banyere ụzọ o si eme ka ya na ụmụ mmadụ dịkwa na mma ọzọ. [20] Ya
mere, anyị bụ ndị na-anọchi anya Kraịst ijere ya ozi n'ụwa. Chineke ji anyị na-agwa
unu okwu. Anyị na-arịọ unu dịka ọ bụ Kraịst n'onwe ya na-arịọ unu. Biko, bịanụ ka
unu na Chineke dịrị n'udo. [21] N'ihi na o mere ka onye ahụ na-amaghị mmehie bụrụ
mmehie n'ọnọdụ anyị, ka esi otu a mee ka anyị nwee oke n'ime ezi omume Chineke
site na ya.

# 6

[1] Dịka ndị ha na ya na-arụkọ ọrụ n'otu, anyị na-arịọ arịrịọ sị unu ahapụla ịnara
amara a Chineke na-enye unu n'efu. [2] N'ihi na ọ na-ekwu,
"N'oge m na-anara mmadụ nke ọma anụrụ m olu unu.
Ọ bụkwa ụbọchị nzọpụta ka m nyeere unu aka."*
Lee, ugbu a bụ oge a na-anabata mmadụ nke ọma, ugbu a bụ ụbọchị nzọpụta.

### *Ahụhụ Pọl hụrụ*

[3] Anyị etinyeghị ihe ịsọ ngọngọ n'ụzọ onye ọbụla ka ọ ghara iwetara ọrụ anyị
ihe ịta ụta. [4] Kama n'ime ihe niile, anyị na-agbalịsị ike ime ka ndị mmadụ mara
na anyị bụ ndị na-ejere Chineke ozi. Anyị ji ndidi na ntachiobi na-edi nsogbu niile
na mkpagbu niile na ahụhụ niile na-adakwasị anyị. [5] A na-eti anyị ihe otiti ọtụtụ
mgbe. E tinyekwala anyị n'ime ụlọ mkpọrọ dị iche iche. Ọtụtụ mgbe ka igwe mmadụ
tikwara anyị ihe otiti. Anyị na-adọgbu onwe anyị n'ọrụ. Ọtụtụ abalị anyị nọkwara
n'ime ịmụ anya na-erighị nri, [6] n'ime ịdị ọcha na ezi nghọta na ntachiobi nke anyị
nwere, n'inwe obiọma na ezi ịhụnanya nke ihu abụọ n'adịghị na ya n'ime Mmụọ
Nsọ, [7] sitekwa n'ikwu eziokwu na site n'ike Chineke. Anyị buru ezi omume dịka
ngwa agha n'aka nri na n'aka ekpe. [8] Ụfọdụ na-asọpụrụ anyị ma ndị ọzọ na-eme
anyị ihe ihere. Ụfọdụ na-ata anyị ụta, ma ụfọdụ na-eto anyị. Ụfọdụ mmadụ na-agụ
anyị dị ka ndị ụgha, ma anyị nọgidesịrị ike na-ekwu eziokwu. [9] Ụwa amaghị anyị,
ma a maara anyị. Ọ bụ ezie na anyị na ọnwụ na-anọ nso mgbe niile, ma lee anyị ka
dịkwa ndụ. A na-ata anyị ahụhụ, ma lee anyị anwụghị. [10] Anyị na-anọ n'ihe mwute
mgbe niile, ma lee ọṅụ juru anyị obi. Anyị bụ ndị ogbenye, ma anyị na-eme ka ọtụtụ
mmadụ bụrụ ndị ọgaranya. Anyị enweghị ihe ọbụla, ma lee anyị nwere ihe niile.
[11] Ndị enyi anyị nọ na Kọrint, anyị agwala unu ihe niile dị anyị n'obi, anyị
emeghepụla obi anyị nye unu. [12] Anyị ji obi anyị niile hụ unu n'anya, ma unu mechiri
obi unu n'ebe anyị nọ. [13] Ugbu a, ana m ekwu dịka ana m agwa ụmụntakịrị. Na-
emesonu anyị dịka anyị si emeso unu, meenụ ka obi unu saa mbara n'ebe anyị nọ.

### *Ndị Kraịst na ndị na-ekweghị ekwe*

* **6:2** 6:2 Aịz 49:8

[14] Unu ekwela ka unu na ndị na-ekweghị ekwe nwee nkekọta ọbụla. N'ihi na gịnị
ka ezi omume na ajọ omume nwekọrọ? Olee ụdị mmekọ ìhè na ọchịchịrị ga-enwekọ?
[15] Ọ bụ nwekọ dị aṅaa dị na-agbata Kraịst na ekwensu? Gịnịkwa ka onye kwere ekwe
na onye na-ekweghị ekwe nwekọrọ? [16] Gịnị bụ ihe jikọtara ụlọnsọ Chineke na arụsị?
N'ihi na anyị onwe anyị bụ ụlọnsọ Chineke dị ndụ. Dịka Chineke kwuru,

"M ga-ebi n'ime ha.
Jegharịakwa n'ime ha.
M ga-abụkwa Chineke ha,
ma ha onwe ha ga-abụkwa ndị nke m."†

[17] Ya mere,

"Sinụ n'etiti ha pụta.
Nọpụkwanụ iche n'ebe ha nọ.
Otu a ka Onyenwe anyị kwuru.
Unu emetụkwala ihe ọbụla rụrụ arụ aka.
Mụ onwe m ga-akpọbatakwa unu."‡

[18] Ma,

"Aga m abụrụ unu Nna,
unu onwe unu ga-abụkwara m ụmụ m ndị ikom na ndị inyom.
Otu a ka Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile kwuru."§

# 7

[1] Ya mere, ndị enyi m, ebe anyị nwere nkwa ndị a niile, ka anyị debe onwe anyị
ọcha n'ime ihe niile ọbụla nke na-emerụ ahụ anyị na mmụọ anyị. Ka anyị mezuo ịdị
nsọ n'ịtụ egwu Chineke.

### *Ihe na-enye Pọl obi ụtọ*

[2] Megheenụ obi unu nabata anyị, n'ihi na o nweghị onye ọbụla n'etiti unu anyị
mere ihe ọjọọ. O nwekwaghị onye anyị duhiere. Ọ dịkwaghị onye ọbụla anyị rigburu.
[3] Anaghị m ekwu ihe ndị a ka m maa unu ikpe, dịka m kwuburu na mbụ, na anyị
bu unu n'obi anyị, ịdịkọ ndụ, maọbụ ịnwụkọkwa ọnwụ n'otu. [4] Nkwuwa okwu m ji
gwa unu okwu dị ukwuu; ịnya isi m n'ihi unu dịkwa ukwuu. Abụ m onye a gbara
ume n'ebe ọ dị ukwu, n'ime ọnọdụ ahụhụ anyị niile, ana m aṅụrịbiga ọṅụ oke.
[5] N'ihi na mgbe anyị batara Masidonia, anyị enweghị izuike ma ọlị. Kama mkpagbu
si n'aka nri na aka ekpe bịakwute anyị, ọgụ n'ezi, egwu n'ime. [6] Ma otu ọ dị, Chineke,
onye na-agba ndị ike gwụrụ ume, gbara anyị ume site n'ọbịbịa Taịtọs. [7] Ọ bụkwaghị
naanị n'ihi na ọbịbịa ọ bịara nyere anyị obi ụtọ, kama akụkọ o ji bịa, gbasara otu
unu si gbaa ya ume, gwakwa anyị otu unu si na-ele anya ịhụ m, na otu unu si na-eru
ụjụ n'ihi ihe niile mere, na otu unu si guzosie ike n'ukwu m, na ụdị ịhụnanya unu
nwere n'ebe m nọ, obi tọrọ m ụtọ nke ukwuu.
[8] Ọ naghị ewutekwa m ugbu a na m deere unu akwụkwọ ahụ, ọ bụ ezie na o wutere
m mgbe ahụ m na-ede ya, n'ihi na amaara m na ọ ga-ewetara unu obi ọjọọ mgbe unu
gụrụ ya. Ma obi ọjọọ ahụ abụrụla naanị nke nwa oge nta. [9] Ma ugbu a ana m aṅụrị
ọṅụ na m dere akwụkwọ ahụ. Ọ bụghị n'ihi na ọgụgụ ya wetaara unu obi ọjọọ,
kama ọ bụ n'ihi na mwute o wutere unu emeela ka unu chegharịa. Ụdị mwute unu
nwere bụ ụdị mwute Chineke chọrọ ka ndị nke ya nwee. Ya mere, o nweghị ihe
ọjọọ bịakwasịrị unu n'ihi akwụkwọ anyị deere unu. [10] N'ihi na iru ụjụ otu Chineke
chọrọ na-eweta nchegharị nke na-eduba mmadụ na nzọpụta, bụ nchegharị nke a na-
apụghị ịkwa ụta banyere ya. Ma iru ụjụ dịka ụwa si eme na-eweta ọnwụ. [11] Leenụ

† **6:16** 6:16 Lev 26:12; Jer 32:38; Izk 37:27 ‡ **6:17** 6:17 Aịz 52:11; Izk 20:34,41 § **6:18** 6:18 2Sa 7:14; 7:8

ihe Chineke rụpụtara site n'ihe mwute dakwasịrị unu. Ugbu a, unu abụrụla ndị ọ na-
anụ ọkụ n'obi na ndị jikeere izi anyị na aka unu abụọ dị ọcha. Lee otu unu si zi iwe
unu, otu unu si zikwa na ihe ahụ wutere unu. Lee otu unu si tụọ ụjọ ihe mmehie ahụ
nwere ike iwetara unu. Leekwanụ otu unu si mee ihe niile igosi na unu kwagidere
m. Leekwanụ otu unu si nye onye ahụ mere mmehie ahụ ntaramahụhụ ngwangwa.
Unu egosila na aka unu dị ọcha n'okwu ndị a niile. 12 Ọ bụ ezie na m deere unu
akwụkwọ ahụ, ma edeghị m ya n'ihi onye ahụ mehiere, maọbụ n'ihi onye ahụ e
mehiere megide. Kama edere m ya ime ka Chineke gosi unu otu ihe gbasara anyị si
na-anụ unu ọkụ n'obi. 13 N'ụzọ niile ndị a, anyị bụ ndị a gbara ume site n'ịhụnanya
unu nwere n'ebe anyị nọ.

A gbara anyị ume karịa site na ịhụ ọṅụ Taịtọs n'ihi nnabata unu nabatara, na otu
unu si mee ka mmụọ ya zuru ike mgbe ọ bịakwutere unu. 14 N'ihi na tupu ọ hapụ
anyị bịakwute unu, anyara m isi n'ihu ya banyere unu; ugbu a, obi dị m ụtọ nke
ukwuu n'ihi na unu emeghị ka ihere mee m. Anyị ekwuola eziokwu nye unu. Ugbu
a, ịnya isi m n'ebe Taịtọs nọ egosila na anyị bụ ndị eziokwu. 15 Ugbu a, ịhụnanya o
nwere n'ebe unu nọ na-aba ụba nke ukwuu, n'ihi ncheta ọ na-echeta otu unu niile
si jiri ọṅụ gee ya ntị na otu unu si jiri ịtụ egwu na ahụ ịma jijiji nabata ya. 16 Nke a
na-enyekwa m obi ụtọ n'ihi na enwere m ntụkwasị obi n'ebe unu nọ n'ime ihe niile.

# 8

### *Ihe onyinye maka ndị nsọ*

1 Anyị chọrọ ime ka unu mara, ụmụnna m, ihe banyere ihe nke amara Chineke
rụrụ na nzukọ niile dị na Masidonia. 2 N'ime ọnọdụ oke mkpagbu na ihe mwute, ha
nwere ọṅụ dị nnọọ ukwuu ruo na ha gbasara aka ha nye ndị ọzọ ihe, wezugakwa na
ọ bụ ezie na ha bụ ndị ogbenye ọnụ ntụ. 3 Ana m agba ama na ha nyere dịka ike ha,
ha nyekwara ọ bụladị karịa otu a tụrụ anya. Onyinye ha si n'obi ha pụta. 4 N'ezie, ha
rịọsiri anyị arịrịọ ike ka anyị nara onyinye amara ha nyere n'ihi iso keta oke inyere
ndị nsọ ndị ọzọ nọ na mkpa aka. 5 Nke ka nke, ha nyere karịa ihe anyị lere anya na
ha ga-enye. N'ihi na ha buru ụzọ were onwe ha nye Onyenwe anyị. Ha sitekwara
n'ọchịchọ Chineke nyekwa anyị onwe ha. 6 Ya mere, anyị rịọrọ Taịtọs, onye malitere
ọrụ ka ọ rụzuo ọrụ amara ahụ ruo n'isi. 7 Ma ebe unu babigara ụba oke n'ihe niile
unu nwere, n'okwukwe, na okwu, n'ihe ọmụma, na ịnụ ọkụ n'obi, na ịhụnanya unu
hụrụ anyị, lezie unu anya hụ na unu babigakwara ụba oke n'amara nke inye ihe a.

8 Anaghị m enye unu iwu, kama site n'izi unu otu o si na-anụ ndị ọzọ ọkụ
n'obi inyeaka, achọrọ m ịchọpụta ma ịhụnanya unu na ịnụ ọkụ n'obi unu ọ ga-
adakọtakwa. 9 N'ihi na unu maara ụdị amara nke Onyenwe anyị Jisọs Kraịst nwere.
Ọ bụ ezie na ọ bụ ọgaranya, ma ọ họọrọ ịbụ ogbenye n'ihi unu, ka unu onwe unu
site n'ogbenye ya bụrụ ọgaranya.

10 Nke a bụ ndụmọdụ m na-enye unu n'okwu a. Ọ baara unu uru ka unu rụzuo
ọrụ unu malitere ịrụ n'afọ gara aga. Unu bụ ndị mbụ buru ụzọ chepụta ịrụ ọrụ a,
unu bụkwa ndị mbụ buru ụzọ malite ime ihe banyere ya. 11 Ma ugbu a mezuonụ ihe
unu chepụtara ime. Ka ịnụ ọkụ n'obi unu nwere na mbụ ịrụ ọrụ a bụrụkwa ihe unu
ga-eji mezuo ya dịka ihe unu nwere si dị. 12 N'ihi na ọ bụrụ na ịnụ ọkụ n'obi dị ebe
ahụ, a na-anara ya dịka ihe mmadụ nwere ike inye, ọ bụghị ihe ọ na-enweghị ike
inye.

13 Nzube m abụghị ka unu nye n'ụzọ ihe ga-esi siere unu ike n'ihi na unu nyere.
Kama ka e nwe nhatanha. 14 Ugbu a, ọ bụ ihe dị mma ka unu nyere ndị ọzọ nọ na
mkpa aka. Mgbe unu ga-anọkwa na mkpa, ha ga-enyere unu aka ma ha nwee hie
nne. N'ụzọ dị otu a, a ga-enwe nhatanha. 15 Nke a bụkwa ihe akwụkwọ nsọ kwuru,

"Onye ahụ chịkọtara hie nne enweghị karịa. Onye nke chịkọtara ihe dị nta enweghị ihe fọdụrụ ya inweta ihe ọ chọrọ."*

### *Nzipụ Taịtọs ka ọ gaa Kọrint*

16 Ekelere m Chineke onye tinyere n'obi Taịtọs otu ịnụ ọkụ ahụ banyere unu ekele,
dịka o si emetụ m n'obi. 17 Ọ bụghị naanị na o kweere ime dịka anyị si rịọrọ ya,
kama n'ihi ịhụnanya o nwere n'ebe unu nọ, o kpebiri n'ime obi ya ịbịakwute unu
na inyere unu aka. 18 Anyị na-ezitekwa ya na nwanna anyị onye ahụ nzukọ niile
na-asọpụrụ n'ihi ọrụ ikwusa oziọma ahụ. 19 Ma ọ bụghị naanị nke a, kama nzukọ
họpụtara ya iso anyị, na inyere anyị aka dịka anyị na-ebu onyinye a, bụ ije ozi anyị
na-eje n'ihi iwetara Onyenwe anyị otuto, na izipụta njikere anyị inyere ibe anyị aka.
20 Anyị na-eze ka onye ọbụla ghara ịta anyị ụta n'ihe ọbụla, n'ihi ụzọ anyị si jee ozi
gbasara onyinye mgbasapụ aka a. 21 Ọ bụ ọchịchọ anyị ime ihe ọma, ọ bụghị naanị
n'ihu Onyenwe anyị, kama n'ihu ndị mmadụ kwa.
22 Ugbu a anyị na-ezitekwara unu nwanna anyị nwoke ọzọ ka o soro ha bịakwute
unu, nwanna anyị a bụ onye anyị nwapụtara, onye ọ na-anụ ọkụ n'obi inyeaka. Ugbu
a, o nwekwara ntụkwasị obi dị ukwuu n'ebe unu nọ. 23 Ma banyere Taịtọs, ọ bụ onye
otu m n'ọrụ a, bụrụkwa onye mụ na ya na-arụkọ ọrụ n'etiti unu. Ma banyere ụmụnna
anyị ndị ọzọ a, ha bụ ndị na-anọchite anya nzukọ, na ndị na-ewetara Kraịst otuto.
24 Ya mere, gosinụ ha ihe ga-eme ka ha mata na unu hụrụ ha n'anya. Meekwanụ ka
ha mata ihe bụ ịnya isi anyị banyere unu, ka chọọchị niile hụkwa ya.

# 9

### *Inyere ndị nọ na mkpa aka*

1 Ọ dịghị mkpa idere unu akwụkwọ banyere ozi nke ndị nsọ. 2 Amaara m na unu
jikeere inyere ha aka, dịka m nyara isi nye ndị Masidonia banyere unu. N'ihi na
agwara m ha na unu ndị bi na Akaịa ejikerelarị inyere ha aka kemgbe afọ gara aga.
Ọ bụkwa ịnụ ọkụ n'obi unu kwaliri obi ha, ime ihe ha mere. 3 Ugbu a, ana m ezitere
unu ụmụnna anyị ndị a ka e mee ka ịnya isi nke m nyara banyere unu ghara ịbụ
okwu efu. Ma dịka m gwara ha na unu ejikerela, achọrọ m ka unu jikere nye ha ihe
unu chọrọ inye. 4 N'ihi na ọ bụrụ na ndị Masidonia esoro m bịa hụ na unu ejikeghị
ejike, ebe anyị na-anya isi na unu ejikerela, ọ ga-abụrụ m ihe ihere, bụkwara unu ihe
ihere, ebe anyị nwere ntụkwasị obi na unu ga-anọ na njikere. 5 Ọ bụ nke a mere m ji
hụ na ọ dị mkpa ịrịọ ụmụnna anyị ka ha buru ụzọ bịa, tupu m bịa. Ka unu nwee ike
ịkwado onyinye ahụ unu kwere na nkwa inye, jide ya na njikere ruo mgbe m bịara.
Ka unu si otu a gosi ndị mụ na ha ga-eso na unu na-enye n'ihi na unu chọrọ inye, ọ
bụkwaghị n'ihi na a gwara unu ka unu nye.

### *Ngọzị dịrị ndị gbasara aka nye onyinye*

6 Isi okwu bụ nke a, Onye ọbụla na-akụ mkpụrụ ntakịrị, ga-aghọtakwa nke nta,
ma onye ahụ na-akụ mkpụrụ buru ibu ga-aghọtakwa mkpụrụ hiri nne. 7 Ka onye
ọbụla nye dịka o buru ụzọ kpebie n'ime obi ya inye. Ka ọ ghara inye n'ihi na mmadụ
kwagidere ya, maọbụ inye n'ihi na ndị ọzọ na-enye, n'ihi na Chineke hụrụ ndị ji
obi ụtọ nye onyinye ha n'anya. 8 Chineke nwere ike inye unu karịa ihe na-akpa
unu, ka unu na-enwezukwa ihe unu chọrọ mgbe niile n'oge niile. Mgbe ahụ, unu
ga-enwezukwa ihe niile unu ji arụ ọrụ ọma. 9 Dịka e dere ya,
"Ọ gbasara onyinye ya ebe niile nye ndị ogbenye;
ezi omume ya na-adịgidekwa ruo mgbe ebighị ebi."*

---

* **8:15** 8:15 Ọpụ 16:18 * **9:9** 9:9 Abụ 112:9

10 Ma onye ahụ na-enye onye ọrụ ubi mkpụrụ nke ọ na-agha n’ubi ya, na-enyekwa
mmadụ nri ọ ga-eri, ọ ga-enyekwa unu ihe niile dị unu mkpa, meekwa ka ụlọakụ
unu jupụta na mkpụrụ. Ọ ga-emekwa ka mkpụrụ ezi omume unu baa ụba. 11 Ọ
ga-emekwa ka unu bụrụ ndị ọgaranya n’ụzọ niile, ka unu nwee ihe ga-ezuru unu na
nke unu ga-enye ndị ọzọ mgbe niile. Site n’aka anyị, afọ ofufu unu ga-enye Chineke
ekele n’ihi inyeaka unu nyere ha.
12 N’ihi na ije ozi nke ife ofufe a abụghị naanị nke igboro ndị nsọ mkpa ha, kama
ọ bụkwa nke na-eme ka ekele ọtụtụ ndị mmadụ na-enye Chineke babiga ụba oke.
13 N’ihi ije ozi a, nke unu sitere na ya gosi onwe unu dịka ndị kwesiri, ndị ọzọ ga-
eto Chineke n’ihi irube isi unu nke dakọtara na nkwupụta unu banyere oziọma nke
Kraịst, ya na onyinye afọ ofufu nke unu na-eme ka ha na ndị ọzọ niile soro unu
nwekọ. 14 Nke a ga-eme n’ekpere ha maka unu, ha ga-eji obi ha niile rịọọ arịrịọ, n’ihi
ịdị ukwu nke amara Chineke dị n’ime unu. 15 Ekele dịrị Chineke n’ihi onyinye ya dị
ukwuu nke ọnụ na-apụghị ịkọ.

# 10

### *Anyị bụ ndị Chineke họpụtara*

1 Ma mụ onwe m bụ Pọl, ji ịdị nwayọọ na obi umeala nke Kraịst na-arịọ unu. Mụ,
onye na-adị umeala mgbe mụ na unu nọ n’ihu n’ihu, ma na-enwe mkwuwa okwu
n’ebe unu nọ mgbe m na-anọghị n’etiti unu. 2 Arịọ m unu, ka m ghara inwe obi
ike mgbe m bịarutere dịka o kwesiri n’ebe ụfọdụ ndị nọ, site na iguzogide ndị ahụ
na-eche na anyị na-eme ihe dị ka ndị ụwa si eme ya. 3 Ọ bụ ezie na anyị na-ebi dịka
mmadụ, ma anyị adịghị ebu agha dịka usoro anụ ahụ si dị. 4 N’ihi na ngwa agha
anyị ji ebu agha, abụghị ngwa agha nke mmadụ nkịtị nke ụwa, kama ha nwere ike
nke mmụọ ịla ebe niile e wusiri ike n’iyi. 5 Anyị na-ala ịrụ ụka niile na okwu ụgha
niile n’iyi, nke na-egbochiri ụmụ mmadụ ụzọ e si amata Chineke, na-eme ka echiche
niile hulata isi n’okpuru Kraịst. 6 Anyị nọ na njikere ịta erubeghị isi niile ahụhụ,
mgbe irube isi gị zuruoke.
7 Unu na-ele anya n’ihe ndị dị unu n’ihu. Ọ bụrụ na ọ bụ ihe doro anya nye onye
ọbụla na ha bụ nke Kraịst, ha matakwa na onwe ha, na otu ahụ ha bụ nke Kraịst
na anyị onwe anyị bụkwa nke ya. 8 Ugbu a, ọ bụrụ na m anya isi banyere ikike ahụ
Onyenwe anyị nyere m n’ebe unu nọ, ike ahụ o nyere m iji wulie unu elu, ọ bụghị
iji wedaa unu ala, ihere agaghị eme m n’ihi nke a. 9 Achọghị ka ọ dịka m a ga-asị na
m sitere n’akwụkwọ ozi m na-emenye unu egwu. 10 N’ihi na ha na-asị, “Akwụkwọ
ozi ya dị arọ dịkwa ike, ma na mmadụ, ma n’ọdịdị ya na mmadụ adịghị ike, okwu
ọnụ ya bụkwa ihe na-abaghị uru.” 11 Ma ana m eme ka ndị dị otu a ghọta na ihe
anyị na-ekwu site n’akwụkwọ ozi mgbe anyị na-anọghị n’etiti unu, ka anyị ga-eme
ma anyị nọrọ n’etiti unu.
12 Anyị enweghị anya ike ihazi ọnọdụ maọbụ were onwe anyị tụnyere ndị ụfọdụ na
ndị ahụ n’eto onwe ha. Ma mgbe ha na-eji onwe ha na-atụ onwe ha, werekwa onwe
ha na-atụnyere onwe ha, ha adịghị ezipụta nghọta. 13 Ma anyị onwe anyị, adịghị
anya isi banyere ihe ọbụla anyị na-enweghị ike ime. Kama anyị ga-anya isi n’oke
ọrụ ahụ Chineke kenyere anyị, ka anyị rụrụte ọ bụladị ruo n’ebe unu nọ. 14 N’ihi na
anyị adịghị ekwu okwu karịrị ọnụ anyị mgbe anyị na-etinye anya n’ihe gbasara unu,
n’ihi na ọ bụ anyị buru ụzọ bịakwute unu, ikwusara unu oziọma gbasara Kraịst. 15 Ọ
bụghị na anyị na-ekwu na ọ bụ anyị rụrụ ọrụ niile, ya na ọrụ nke ndị ọzọ rụrụ n’etiti
unu, kama olileanya anyị bụ na okwukwe unu ga na-eto eto mgbe niile, ka ọrụ ya
n’etiti unu bụrụ nke ga-eto eto. 16 Nke a ga-eme ka anyị nwee ike zisaa oziọma ahụ na
mba ndị ọzọ ndị dị n’ofe ala unu, ghara iji ọrụ arụrụ n’ebe ndị ọzọ na-arụ ọrụ na-etu

ọnụ. 17 Ma, “Onye ọbụla na-anya isi, ya nyaa n’ime Onyenwe anyị.”* 18 N’ihi na ọ
bụghị onye ji aka ya bulie onwe ya elu ka a na-anabata, kama ọ bụ onye Onyenwe
anyị jiri aka ya bulie.

# 11

### *Pọl na ndị ozizi ụgha*

1 Ọ ga-adị m mma ma ọ bụrụ na unu ga-anagide m ka m kwuo okwu ndị a dị ka
onye nzuzu. Biko nagidenụ m. 2 Ekworo m nwere n’ebe unu nọ bụ ekworo nke
Chineke. Ekwere m nkwa iwere unu nye otu di, ya bụ Kraịst, ka m nwe ike chee
unu n’ihu ya dịka nwaagbọghọ dị ọcha nke na-amaghị nwoke. 3 Ma ana m atụ egwu,
na dịka agwọ jiri aghụghọ ghọgbuo Iiv, ndị nrafu ga-eji aghụghọ duhie unu, mee ka
unu kwụsị iji obi dị ọcha na uche ziri ezi jeere Kraịst ozi. 4 N’ihi na unu gaara anara
onye ọzọ bịakwutere unu na-ekwusa Jisọs ọzọ nke na-abụghị nke anyị kwusara, unu
gaara anarakwa ike nke mmụọ ọzọ dị iche na-abụghị ike nke Mmụọ Nsọ ahụ unu
natara, unu gaara ekwenyekwa na nkuzi ọzọ dị iche, na-abụghị oziọma ahụ nke unu
natara.

5 Ma echeghị m na ọ dị ụzọ ọbụla ndị ozi a maara aha ha si kara m mma. 6 Ọ
bụrụ na m abụghị onye ọka okwu, abụ m onye ọka mmụta. Anyị akọwarala unu
nke a ọtụtụ mgbe n’ụzọ dị iche iche n’ihe niile. 7 Ọ ga-abụ na-emere m ihe ọjọọ mgbe
m wedara onwe m ala ka e welie unu elu, n’ihi n’anaghị m unu ihe ọbụla mgbe m
na-ekwusara unu oziọma Chineke? 8 Ọ bụ nzukọ nọ n’ebe ọzọ nyeere m aka mgbe
m na-arụ ọrụ n’etiti unu. Ọ bụ site n’aka ha ka m ji nata nkwado, dịka ụgwọ ọrụ
m, ka m nwee ike inyere unu aka. 9 Ma mgbe m nọ n’etiti unu abụghị m ibu arọ
nye onye ọbụla n’oge mkpa m. N’ihi na ụmụnna si Masidonia wetaara m ihe niile
na-akpa m mkpa. Ebe ọ bụ na m gbalịrị debe onwe m, ka m ghara ịbụ ibu arọ nye
unu n’ụzọ ọbụla n’oge gara aga, agaghị m abụkwa ibu arọ nye unu n’oge dị n’ihu.
10 Ebe eziokwu nke Kraịst dị n’ime m, ịnya isi m nke a agaghị akwụsị na mpaghara
Akaịa* niile. 11 N’ihi gịnị? Ọ bụ n’ihi na m ahụghị unu n’anya? Chineke maara na
m hụrụ unu n’anya.

12 Ma aga m aga n’ihu na-arụ ọrụ m na-achọghị ka unu nyere m aka n’ụzọ ọbụla
ka m si otu a mee ka ndị ahụ na-akpọ onwe ha ndị ozi ghara ịnya isi kwuokwa na
ha na-arụ ọrụ dịka anyị si arụ ọrụ anyị n’etiti unu. 13 N’ihi na ndị dị otu a bụ ndị ozi
ụgha, ndị ọrụ aghụghọ, ndị na-eme onwe ha ka ha bụ ndị ozi Kraịst. 14 Ma omume
ha adịghị eju m anya, n’ihi na ekwensu gbanwere onwe ya dịrị ka mmụọ ozi na-enye
ìhè. 15 Ya mere, ọ bụghị ihe iju anya ma ọ bụrụ na ndị na-ejere ya ozi emee onwe ha
dịka ndị na-eje ozi ụzọ ezi omume. Ma n’ọgwụgwụ oge, ha ga-anata ụgwọ dịka ọrụ
ha si dị.

### *Ịnya isi Pọl*

16 Dịka m kwuru na mbụ, ka onye ọbụla ghara iche na m bụ onye na-enweghị
uche. Ọ bụrụkwarị na unu na-eche ụdị echiche a, biko naranụ m dịka onye na-
enweghị uche, ka m nwee ike ịnya isi nke nta dịka ndị ọzọ si eme. 17 Ma n’ihe m
dabeere na-anya isi, adịghị m ekwu okwu dịka Onyenwe anyị ga-ekwu, maọbụ dịka
onye na-enweghị uche. 18 Ebe ọtụtụ mmadụ na-anya isi banyere ihe ha bụ n’ụzọ
ụwa si eme. Mụ onwe m ga-anyakwa isi. 19 Unu were obi ụtọ na-anagide ndị na-
enweghị uche, ebe unu onwe unu nwere uche. 20 Unu na-anagide ya ma ọ bụrụ na
onye ọbụla eme unu ndị ohu ha, maọbụ jiri anya ike nakọrọ unu ihe unu nwere,
maọbụ ghọgbuo unu, maọbụ bulie onwe ya elu dịka ha karịrị unu, maọbụ maa unu

* **10:17** 10:17 Jer 9:24 * **11:10** 11:10 Akaịa bụkwa Griis.

uraa n’ihu. 21 N’ezie, ọ bụ ihere m, ịnabata na anyị bụ ndị na-adịghị ike n’ezie nye
nke a.

Ọ bụrụ na onye ọbụla anwaa anwaa nyaa isi n’ihe ọbụla (ana m ekwu dịka onye
n’enweghị uche), mụ onwe m ga-anyakwa isi. 22 Ha bụ ndị Hibru? Mụ onwe m
bụkwa ya. Ha bụ ndị Izrel? Mụ onwe m bụkwa ya. Ha bụ ndị agbụrụ Ebraham?
Mụ onwe m bụkwa. 23 Ha bụ ndị na-ejere Kraịst ozi? (Ana m ekwu dịka onye anya
na-adịghị mma.) Ma mụ onwe m ejela ozi karịa. Adọgbuola m onwe m n’ọrụ karịa
ha niile. Etinyela m n’ụlọ mkpọrọ ọtụtụ mgbe, tinyere ọtụtụ ihe otiti, mgbe mgbe
anọọla m n’ọnụ ọnwụ. 24 Ugboro ise ka ndị Juu pịara m ọnụ ụtarị iri anọ e wepụrụ
otu. 25 E jirila okporo igwe tie m ugboro atọ. Atụrụ m nkume otu ugboro. Ugboro atọ
ka ụgbọ mmiri m nọ n’ime ya kpuru n’oke osimiri. Anọọla m otu abalị na ụbọchị
so ya n’elu oke osimiri ebe mmiri na-ebugharị m. 26 Ejeela m ọtụtụ ogologo ije nke
ọtụtụ ihe ize ndụ dị n’ime ya. N’ize ndụ site n’osimiri, ize ndụ site na ndị na-apụnarị
mmadụ ihe n’ike, ize ndụ site n’aka ndị obodo nke aka m. Ọtụtụ mgbe ka m zere
ndụ site n’aka ndị mba ọzọ, n’ime obodo ukwu, n’ọzara ma n’oke osimiri; na n’aka
ndị kpọrọ onwe ha ụmụnna m, ma ha bụ ndị ụgha. 27 Adọgbuola m onwe m n’ọrụ,
anọọla m n’ọnọdụ ịhụju anya na ịmụ anya ọtụtụ abalị. Ọtụtụ mgbe ana m anọ agụụ
na-erighị ihe ọbụla, maọbụ ịṅụ ihe ọbụla. Anọọla m ọtụtụ mgbe n’oge oyi na-ama
jijiji n’ihi enweghị uwe dị mma m ji achụ oyi. 28 Ma e wezuga ihe ndị a niile, ana
m anọ n’echiche mgbe niile banyere otu ihe niile si aga n’ime nzukọ. 29 Onye bụ
onye ahụ na-adịghị ike nke m na-adịghị eso ya kere oke na-adịghị ike ya? Onye ka e
dubara na mmehie nke ọnọdụ ya na-adịghị emetụ m n’obi?

30 Kama ọ bụrụ na o kwesiri ka m nyaa isi aga m anya isi banyere ihe ndị ahụ na-
egosi adịghị ike m. 31 Chineke, na Nna nke Onyenwe anyị Jisọs, onye e kwesiri ito aha
ya ruo mgbe ebighị ebi, maara na ihe ndị a niile m na-ekwu bụ eziokwu. 32 N’obodo
Damaskọs, onye ọchịchị ala ahụ nke eze obodo ahụ a na-akpọ Aretas họpụtara, ndị
na-eche obodo Damaskọs nche ka ha jide m. 33 Ma e tinyere m n’ime nkata, site
n’oghere dị na mgbidi gbara obodo ahụ gburugburu wedata m, m gbanarị ya.

# 12

### *Ọhụ Pọl hụrụ*

1 Aghaghị m ịnya isi, ọ bụ ezie na ọ baghị uru, ugbu a ka m gwa unu ihe banyere
ọhụ m hụrụ, na ihe niile Onyenwe anyị kpughere gosi m. 2 Amaara m otu nwoke nọ
n’ime Kraịst, onye e duuru gaa n’eluigwe nke atọ ihe dị ka afọ iri na anọ gara aga,
maọbụ n’anụ ahụ, maọbụ n’ime mmụọ amaghị m, ma Chineke ma. 3 Amatakwara
m nwoke dị otu a, maọbụ n’anụ ahụ, maọbụ n’ime mmụọ amaghị m, ma Chineke
maara 4 onye a, nke a kpọọrọ banye na paradaịs, ebe ọ nụrụ ihe ọnụ mmadụ na-
apụghị ịkọwa, nke e nyeghịkwa mmadụ ọbụla ike ikwu ihe banyere ya. 5 Ekwesiri
m ịnya isi n’ihi nwoke dị otu a ma agaghị m anya isi maka mụ onwe m, ma ọ bụghị
maka adịghị ike m. 6 A sị na m chọrọ ịnya isi, agaghị m abụ onye nzuzu, n’ihi na
aga m ekwu naanị eziokwu. Otu ọ dị, agaghị m anya isi ka onye ọbụla ghara ịgụ
ọnọdụ m karịa ihe ọ hụrụ n’ime m, maọbụ karịa ihe ọ nụrụ n’ọnụ m. 7 Ma n’ihi na
ọtụtụ ihe ndị a m ji anya m hụ bụ ihe pụrụ ime ka m bulie onwe m elu karịa ka o
si kwesi. E tinyere ihe mgbu n’anụ ahụ m ka ọ na-adụ m dịka ogwu. Ihe mgbu a dị
n’anụ ahụ m na-eti m aka dịka onyeozi nke ekwensu, na-eme ka m ghara ịfụlị onwe
m elu karịa. 8 Ekpeela m ekpere ugboro atọ rịọ Onyenwe anyị ka o wepụrụ m ahụ
mgbu a. 9 Ma ọ sịrị m, “Amara m ezuorola gị. N’ihi na ike m na-ezu oke n’ime adịghị
ike.” Ugbu a, obi dị m ụtọ ịnya isi banyere adịghị ike m. N’ihi na ọ bụ site n’ọnọdụ
adịghị ike m ka ike ebube Kraịst ga-esi nọgide n’ahụ m. 10 Ọ bụ n’ihi Kraịst ka m

na-anọgide n’adịghị ike m niile, mkparị ndị mmadụ, ihe isi ike niile, mkpagbu niile
na ihe ndakwasị dị iche iche. N’ihi na mgbe m na-adịghị ike ka m na-enwe ike karịa.

*Ndị Kọrint dị Pọl n’obi*

11 Emeela m onwe m onye nzuzu ma unu onwe unu rugidere m ime ya. O kwesiri
ka unu bụrụ ndị mbụ ga-eto m. Ọ bụ ezie a na-abụghị m ihe ọbụla, ma o were m
anya na ọ dịghị ụzọ ọbụla m si dị ala n’ebe ndị ahụ unu na-eche na ha kachasị elu
n’etiti ndị ozi. 12 Ejiri m ndidi rụọ ọrụ n’etiti unu, ihe iji gosi na abụ m nwaazụ*
n’eziokwu. Egosiri m unu ihe ịrịbama, ọrụ ebube dị iche iche, na ọtụtụ oke ọrụ.
13 Olee ụzọ unu si dị ala n’ebe chọọchị ndị ọzọ dị, ma ọ bụghị na m abụghị ibu arọ
nye unu? Gbagharanụ m mmejọ a.

14 Nke a bụ ugboro atọ m na-ejikere ịbịakwute unu. Agaghị m abụrụ unu ibu arọ,
ihe dị m mkpa abụghị akụ unu nwere, kama unu onwe unu. Ọ bụghị ụmụntakịrị
ka ọ dịrị ịkpadoro nne na nna ha ihe, kama ọ bụ ọrụ dịrị nne na nna ịkpadoro ụmụ
ha ihe. 15 N’ezie, ọ na-atọ m ụtọ iwere onwe m na ihe niile m nwere nye unu, n’ihi
na ahụrụ m unu n’anya. Ma ọ bụrụ na m hụrụ unu n’anya karịa, ọ ga-adị mma ma
unu hụ m n’anya nke nta? 16 N’agbanyeghị na-abụrụ m unu ibu arọ, ụfọdụ n’ime
unu na-ekwu, ọ bụ ezie na ọ dịghị anara anyị ihe ọbụla, maọbụ onye aghụghọ. Ma
eleghị anya, o nwere ụzọ aghụghọ dị iche iche o si anara anyị ihe. 17 Ọ dị onye ọbụla
m ziteere unu, iji si n’aka ya rigbuo unu? 18 Arịọrọ m Taịtọs ka ọ bịakwute unu, ya
na nwanna anyị nwoke ọzọ. Taịtọs o rigburu unu? O nwere ihe dị iche n’uche na
omume mụ na ya?

19 Unu chere na ihe anyị na-eme oge niile ndị a bụ ịgọpụ onwe anyị n’ihu unu? Ọ
bụ n’ihu Chineke ka anyị na-ekwu nke a n’ime Kraịst. Ndị m hụrụ n’anya, ihe ndị a
anyị na-ekwu bụ maka ọdịmma unu. 20 N’ihi na ihe na-atụ m egwu bụ na mgbe m
bịara n’etiti unu, ihe m ga-ahụ agaghị atọ m ụtọ. Mgbe ahụ mmeso m ga-emeso unu
agakwaghị atọ unu atọ. N’ihi na ana m atụ egwu na mgbe m bịakwutere unu ọzọ,
aga m ahụ ọtụtụ n’ime unu ka unu na-ese okwu, aga m ahụ ka unu na-ekwosa ibe
unu ekworo, aga m ahụ unu ka unu na-akpasu ibe unu iwe. Aga m ahụ ọtụtụ ndị
na-afụli onwe ha elu, ndị na-ekwu ọtụtụ ihe ọjọọ dị iche iche megide ndị ọzọ; aga m
ahụ ọtụtụ ndị jupụtara n’aghụghọ na ịkpa iche iche. 21 Ana m atụ egwu na mgbe m
ga-abịakwute unu ọzọ, Chineke m ga-eme ka m weda onwe m ala n’ihu unu, mee ka
m kwa akwa n’ihi ụfọdụ n’ime unu ndị mehiere na mbụ, ma ha achọghị icheghari
site n’ihe ọjọọ ha mere, na n’ihi ọtụtụ n’ime unu na-adị ndụ rere ure, ndụ na-adịghị
ọcha, ndụ ịkwa iko, na ndụ ọjọọ.

# 13

*Ịdọ aka na ntị ikpeazụ*

1 Nke a ga-eme ya ugboro atọ m na-abịa ileta unu. Ọ bụ site n’ama mmadụ abụọ
maọbụ atọ gbara ka a ga-eme ka okwu niile guzoro.* 2 Mgbe m bịara leta unu nke
ugboro abụọ, abaara m ndị niile dara iwu n’oge gara aga na mmadụ ndị ọzọ mba,
dọọkwa ha aka na ntị, ihu na ihu. Ugbu a m na-anọghị ya, ana m adọkwa ha aka
na ntị ọzọ, ọ bụrụ na m bịa ọzọ hụ na ndị mehiere na mbụ echegharịghị, aga m
emesi ha ike. 3 Ebe unu chọrọ ka e gosi na Kraịst na-ekwu okwu n’ime m, ọ dịghị
egosi adịghị ike mgbe ọ na-emeso unu omume, kama ọ na-eme ka ike ya pụta ìhè
n’ebe unu nọ. 4 Ọ bụ ezie na a kpọgidere ya na-adịghị ike, ma ugbu a, ọ na-adị ndụ
site n’ike dị ukwuu nke Chineke. Anyị bụkwa ndị na-adịghị ike n’ime ya, ma ozi anyị
na-ejere unu na mmekọrịta anyị na unu, anyị ga-eso ya dị ndụ site n’ike nke Chineke.

* **12:12** 12:12 Maọbụ, onyeozi * **13:1** 13:1 Dit 19:15

5 Ya mere, ka onye ọbụla n'ime unu nyochaa onwe ya, tulekwa omume ya, mara
ma ọ ka kwudosiri ike n'okwukwe ya. Ọ bụ na unu aghọtaghị na Jisọs Kraịst nọ
n'ime unu? Ma ọ bụghị na unu enyochaala onwe unu hụ na unu emeghị nke ọma.
6 Enwere m olileanya na unu niile ga-achọpụta na anyị adaghị ule ahụ. 7 Ma anyị
na-arịọ Chineke ka unu ghara ime ihe ọjọọ ọbụla. Anyị anaghị eme nke a iji gosi
na anyị kwesiri ekwesi, kama ka unu nwee ike mee ihe dị mma, n'agbanyeghị na ọ
ga-adị ka a ga-asị na anyị emeghị nke ọma n'ọrụ anyị. 8 N'ihi na anyị apụghị ime ihe
ọbụla megide eziokwu, kama anyị na-eme ihe niile n'ihi eziokwu. 9 Anyị na-aṅụrị
ọṅụ mgbe anyị na-adịghị ike ma hụ na unu dị ike. Ihe anyị na-arịọ Chineke bụ ka
unu tozuo oke. 10 Ana m edere unu akwụkwọ a ugbu a, n'ihi na-achọghị m ịbara unu
mba na inye unu ntaramahụhụ mgbe m bịara. Achọkwaghị m iji ikike ahụ Onyenwe
anyị nyere m nye unu ntaramahụhụ, kama achọrọ m iji ya wulie unu elu dịka ụlọ.

*Ekele mmechi*

11 N'ikpeazụ ụmụnna m, na-aṅụrịnụ ọṅụ. Gbalịanụ n'imezi ndụ unu ka o zuo oke,
na-agbarịta onwe ume, werenụ otu obi na-eme ihe, na-ebikwanụ n'udo. Chineke nke
udo na ịhụnanya ga-anọnyekwara unu.

12 Werenụ isurita ọnụ dị nsọ kelerịta onwe unu.
13 Ndị nsọ niile na-ekelekwa unu.

14 Ka amara Onyenwe anyị Jisọs Kraịst na ịhụnanya Chineke, na mmekọ nke Mmụọ
Nsọ dịnyere unu niile.

# Ndị Galeshịa

1 Pọl, onyeozi, na-abụghị site na nhọpụta nke mmadụ maọbụ site n’ike nke mmadụ,
kama ọ bụ site n’aka Jisọs Kraịst na Chineke Nna, onye mere ka ọ site n’ọnwụ bilie.
2 Ndị ụmụnna niile ndị mụ na ha nọ n’ebe a,

Na-edegara* nzukọ niile dị na Galeshịa.

3 Ka amara na udo nke sitere na Chineke Nna anyị, na Onyenwe anyị Jisọs Kraịst
dịrị unu. 4 Onye nyere onwe ya n’ihi mmehie anyị niile dị ka nzube Chineke bụ Nna
anyị si dị, ịzọpụta anyị site n’oge ọjọọ a nke anyị bi n’ime ya. 5 Onye otuto dịịrị ruo
mgbe niile ebighị ebi. Amen.

*Oziọma ọzọ adịghị*

6 O juru m anya, na unu esitela n’ebe onye ahụ kpọrọ unu site n’amara Kraịst
wezuga onwe unu, na-agbaso oziọma ọzọ, 7 nke na-abụghị oziọma. O doro anya na
ụfọdụ mmadụ na-etinye unu n’ọnọdụ mgbagwoju anya, mgbe ha na-agbalị ịgbanwe
oziọma nke Kraịst. 8 A sikwa na ọ bụ anyị onwe anyị maọbụ mmụọ ozi nke
sitere n’eluigwe bịara kwusaara unu oziọma ọzọ, nke dị iche na nke anyị bụrụ ụzọ
kwusaara unu, ka onye dị otu a bụrụ onye abụrụ ọnụ. 9 Dị ka anyị buru ụzọ kwuo
ya na mbụ, ka m kwuokwa ya ọzọ: Ọ bụrụ na onye ọbụla na-ekwusara unu oziọma
dị iche na nke ahụ unu nabatara, ka onye ahụ bụrụ onye a bụrụ ọnụ.
10 Ugbu a, ana m agbalị ime ka m bụrụ onye ndị mmadụ maọbụ Chineke ga-
anabata? Ka m na-agbalị ime ihe ga-atọ ndị mmadụ ụtọ? N’ihi na a sị na m na-eme
ihe na-atọ ndị mmadụ ụtọ, agaraghị m abụ ohu Kraịst.

*Pọl, onye Chineke kpọrọ oku*

11 Ụmụnna m, achọrọ m ime ka unu mata, na oziọma ahụ m kwusaara unu abụghị
ihe mmadụ chepụtara n’uche ya. 12 N’ihi na anataghị m ya site n’aka mmadụ ọbụla,
ọ dịkwaghị onye ọbụla ziri m ya, kama ọ bụ Jisọs Kraịst n’onwe ya bụ onye kpughere
ya nye m.
13 Amara m na unu anụla ihe banyere ndụ m n’oge gara aga, n’ofufe ndị Juu, na otu
m si jiri ike kpagbuo nzukọ Chineke n’ebe niile, ma gbalịsiekwa ike ibibi ya. 14 Abụ
m otu n’ime ndị amaara aha ha n’etiti ndị ọgbọ m, n’ihe banyere ofufe ndị Juu. N’ihi
oke ịnụ ọkụ n’obi nke m nwere ịgbaso na idebezu ụkpụrụ omenaala na ofufe, nke
nna nna m ha. 15 Ma mgbe ọ tọrọ Chineke ụtọ, bụ onye kewapụrụ m iche tupu amụọ
m, kpọọ m site n’amara ya, 16 ikpughe Ọkpara ya n’ime m, ka m nwe ike kwusaa
ihe banyere ya n’etiti ndị mba ọzọ, e jekwurughị m anụ ahụ ọbụla ịnụta ihe ọbụla
n’aka ya. 17 Ejekwaghị m Jerusalem ịhụ ndị ahụ bu m ụzọ bụrụ ndị ozi, kama a gara
m Arebịa, ma laghachikwa azụ na Damaskọs.
18 Ọ bụ mgbe afọ atọ gasịrị, ka m gara Jerusalem ịhụ Sefas. Anọnyekwara m ya
ụbọchị iri na ise. 19 Ma ọ dịkwaghị onyeozi ọzọ m hụrụ, ma ọ bụghị naanị Jemis,
nwanne Onyenwe anyị. 20 Ana m agwa unu okwu a n’ihu Chineke. Ihe ndị a m
na-ekwu abụghị okwu ụgha.
21 Emesịa, agara m Siria na Silisia. 22 Ma ndị Kraịst nọ na chọọchị niile dị n’ala
Judịa amaghị onye m bụ. 23 Naanị ihe ha na-ekwu bụ, “Onye ahụ na-esogbu anyị na

* **1:2** 1:2 Maọbụ, na-ekele

mbụ na-ekwusazi ugbu a okwukwe ahụ ọ gbalịsịrị ike ibibi na mbụ.” 24 Ha nyere
Chineke otuto n’ihi m.

# 2

*Nzukọ e nwere na Jerusalem*

1 Mgbe afọ iri na anọ gasịrị, ejeghachiri m Jerusalem ọzọ. Mụ na Banabas laghachiri
Jerusalem, akpọkwara m Taịtọs jee. 2 Agara m n’ihi mkpughe m nwere. Na nzukọ
nzuzo nke m na ndị ndu nwere, akọwaara m ha ihe banyere oziọma nke m na-ekwusa
n’etiti ndị mba ọzọ. N’ihi na-achọghị m ka ọrụ niile m rụrụ n’oge gara aga, na ọrụ
m na-arụ ugbu a, bụrụ ihe efu. 3 Ọ bụladị Taịtọs onye mụ na ya so, o nweghị onye
manyere ya ka e bie ya ugwu n’agbanyeghị na ọ bụ onye Griik. 4 Ndị ahụ na-abụghị
ndị kwere ekwe n’ezie e zobatara na nzukọ inyochapụta otu anyị si nwere onwe anyị
n’ime Kraịst Jisọs, ka ha nwee ike mee anyị ndị ohu. 5 Ma o nweghị oge anyị ji gee
ntị n’ihe ha kwuru, n’ihi na anyị chọrọ ichedo eziokwu ahụ dị n’oziọma ka a ghara
ịgwa ya ihe ọbụla n’etiti unu.

6 Banyere ndị a na-ewe ka ndị dị ndu dị mkpa, ihe ọbụla ọnọdụ ha bụ ewetaghị
mgbanwe ọbụla n’ebe m nọ, n’ihi na Chineke adịghị ele mmadụ anya n’ihu. Ndị ahụ
atụkwasịghị ihe ọbụla n’oziọma m na-ezisa. 7 Ma n’aka nke ọzọ, mgbe ha hụrụ na
e nyere m ọrụ izisa oziọma n’etiti ndị e bighị ugwu, dịka e nyere Pita izisa oziọma
n’etiti ndị e biri ugwu. 8 N’ihi na Chineke onye si n’aka Pita na-arụ ọrụ onyeozi
oziọma n’etiti ndị e biri ugwu, sikwa n’ime m na-arụ ọrụ onyeozi izisara ndị mba
ọzọ oziọma. 9 Mgbe Jemis, Sefas na Jọn ndị a maara dị ka ide ji ụlọ n’etiti ndị ndu ahụ
niile nara m na Banabas aka nnwekọ, nabatakwa amara e nyere m. Ha gbara anyị
ume, sị anyị gaa n’ihu n’ọrụ anyị, ikwusa oziọma n’etiti ndị mba ọzọ, ka ha onwe
ha kwa gaa n’ihu ịrụ ọrụ nke ha n’etiti ndị e biri ugwu. 10 Ọ bụ naanị otu ihe ka ha
rịọrọ anyị, nke bụ ka anyị cheta ndị ogbenye. Nke a bụkwa ihe m na-achọsi ike ime.

*Pọl abaara Pita mba*

11 Ma mgbe Sefas bịaruru Antiọk, eguzogidere m ya n’ihu ya, n’ihi na ihe o mere
mara ya ikpe. 12 Tupu ndị Jemis zitere abịaruo ebe ahụ, ya na ndị mba ọzọ na-erikọ
nri, ma mgbe ha rutere, ọ wepụrụ aka na nri laghachi azụ n’ihi na egwu ndị e biri
ugwu na-atụ ya. 13 Ndị Juu ụfọdụ sonyekwara ya inwe ihu abụọ a, nke mere na e si
otu a duhiekwa Banabas n’onwe ya.

14 Ma mgbe m hụrụ na ha adịghị eme ihe dị ka eziokwu nke oziọma ahụ si dị,
agwara m Sefas okwu n’ihu ha niile, sị, “Ọ bụrụ na gị nwa onye Juu na-ebi ndụ dịka
onye mba ọzọ, na-abụghị dịka onye Juu, olee otu ị ga-esi manye ndị mba ọzọ ka ha
na-ebi ndụ dịka ndị Juu?”

*A na-azọpụta onye ọbụla site n’okwukwe*

15 Anyị onwe anyị bụ ndị Juu site n’ọmụmụ a mụrụ anyị, anyị abụkwaghị ndị mba
ọzọ ndị mmehie, 16 ma anyị maara na a dịghị agụ mmadụ ọbụla dị ka onye ezi omume
site n’ọrụ nke iwu kama ọ bụ naanị site n’okwukwe na Jisọs Kraịst. Ọ bụ nke a mere
anyị ji kwere na Jisọs Kraịst ka a gụọ anyị na ndị ezi omume, site n’okwukwe anyị
kwere na Kraịst, ọ bụghị n’ihi na anyị rụrụ ọrụ nke iwu. N’ihi na o nweghị onye
ọbụla a ga-agụnye ka onye ezi omume n’ihi na ọ rụrụ ọrụ nke iwu.

17 Ma ọ bụrụ, na mgbe anyị na-achọ ka a gụọ anyị dị ka ndị ezi omume n’ime
Kraịst, anyị onwe anyị a bụrụ ndị achọpụtara dịka ndị mmehie. Nke a, ọ pụtara na
Kraịst na-akwado mmehie? Mba! 18 Kama, ọ bụrụ na m ewugharịa ihe ndị ahụ m
buru ụzọ mebie, ana m egosi na m bụ onye na-emebi iwu.

19 N’ihi na-esitere m n’aka iwu nwụọ n’ebe iwu dị, ka m nwee ike dị ndụ n’ebe
Chineke nọ. Akpọgidela mụ na Kraịst n’obe. 20 Ọ bụkwaghị mụ onwe m na-adị ndụ

ugbu a, kama ọ bụ Kraịst na-adị ndụ ya n'ime m. Ndụ ahụ nke m na-adị ugbu a
n'anụ ahụ m bụ nke m na-adị n'ihi okwukwe m nwere n'ime Ọkpara Chineke, onye
hụrụ m n'anya, ma werekwa onwe ya nye n'ihi m. 21 Anaghị m akpọ amara Chineke
ihe na-enweghị isi. N'ihi na a sị na a pụrụ ịgụ mmadụ dị ka onye ezi omume site
n'idebe iwu, mgbe ahụ ọnwụ Kraịst nwụrụ abaghị uru.

# 3

*Okwukwe ka ọ bụ ọrụ nke iwu?*

1 Ndị nzuzu a kpọrọ onwe ha ndị Galeshịa! Onye napụrụ unu akọnuche unu?
N'ihu unu ka a nọ kọwaa n'ụzọ doro anya mkpọgide n'obe a kpọgidere Jisọs Kraịst.
2 Ọ bụ naanị otu ihe ka m chọrọ ịmata n'aka unu. Unu natara Mmụọ Nsọ site n'ịrụ
ọrụ iwu chọrọ, ka ọ bụ site na nkuzi nke okwukwe? 3 Ọ ga-abụ na unu aghọọla ndị
na-enweghị uche? Unu malitere site n'ike Mmụọ Nsọ, ma ugbu a unu na-akwụsịzi
n'ike nke anụ ahụ? 4 Unu tara ọtụtụ ahụhụ dị otu a n'efu, ọ bụrụ n'ezie na ọ bụ
n'efu? 5 Mmụọ nsọ ahụ Chineke nyere unu na ọrụ ebube ọ rụrụ n'etiti unu, o mere
ha n'ihi iwu unu debere, ka ọ bụ n'ihi na unu nụrụ ma kwerekwa oziọma? 6 N'otu
ụzọ ahụ, Ebraham kweere na Chineke, a gụrụ nke a nye ya dị ka ezi omume.*
7 Matanụ nke a, na ọ bụ ndị nwere okwukwe bụ ụmụ Ebraham. 8 Dị ka ọ dị
n'Akwụkwọ nsọ, n'oge ahụ dị n'ihu, nke bụ ugbu a, Chineke ga-agụ ndị mba ọzọ
dị ka ndị ezi omume, site n'okwukwe ha nwere n'ime ya. N'ihi nke a, o buru ụzọ
zie Ebraham oziọma ahụ n'oge gara aga sị, "A ga-agọzikwa agbụrụ niile nọ n'ụwa
site na gị."† 9 Ya mere, ndị dabeere n'okwukwe bụkwa ndị na-eso Ebraham, nwoke
okwukwe ahụ eketa ngọzị.

*Ọbụbụ ọnụ nke iwu na-eweta*

10 Ma ndị niile na-ele anya na a ga-azọpụta ha n'ihi na ha debere iwu niile, ka
ọbụbụ ọnụ na-adakwasị. N'ihi na e deela ya n'akwụkwọ nsọ sị, "Onye a bụrụ ọnụ
ka ọ bụ, bụ onye ọbụla na-edebeghị ọ bụladị otu n'ime iwu niile e dere n'akwụkwọ
iwu."‡ 11 Ugbu a, ọ bụ ihe pụtara ìhè na ọ dịghị onye ọbụla a na-agụ n'onye ezi
omume n'ihu Chineke, n'ihi na o debere iwu. N'ihi na, "Onye ezi omume ga-esite
n'okwukwe dị ndụ."§ 12 Ma iwu ahụ adabereghị n'okwukwe, kama, iwu kwuru sị,
"Mmadụ ahụ na-eme ihe iwu kwuru bụ onye ga-enwe ndụ site na ha."* 13 Ma Kraịst
agbapụtala anyị site n'ọbụbụ ọnụ ahụ nke idebe iwu gaara ewetara anyị. Ọ ghọrọ
ọbụbụ ọnụ n'ihi anyị. N'ihi na e deela ya n'akwụkwọ nsọ, "Onye a bụrụ ọnụ ka onye
ahụ bụ nke a kwụbara n'elu osisi."† 14 Ọ dị otu a ka ngọzị ahụ e nyere Ebraham
bụrụkwa nke ndị mba ọzọ site na Kraịst Jisọs. Ka anyị niile site n'okwukwe nata
nkwa ahụ, bụ Mmụọ Nsọ.

*Iwu na Nkwa*

15 Ụmụnna m, ka m were ihe nlere anya site na ndụ a na-adị kwa ụbọchị kọwaa
okwu a: Dị ka mmadụ na-enweghị ike iwepụ maọbụ ịtụkwasị ihe n'ọgbụgba ndụ e
mere ka o guzosie ike, otu a ka ọ dịkwa n'ọnọdụ a. 16 Ọ bụ Ebraham ka e kwere nkwa
ya na mkpụrụ ya. Akwụkwọ nsọ asịghị, "n'ọtụtụ mkpụrụ,"‡ kama, ọ sịrị, "ma nye
mkpụrụ gị," ya bụ otu onye, onye bụ Kraịst. 17 Ihe m na-akọwa bụ nke a: Iwu ahụ
e mere ka ọ malite ịdị narị afọ anọ na iri atọ (430) site na mgbe e kwere nkwa ahụ,
emeghị ka ọgbụgba ndụ ahụ Chineke mere ka ọ dịrị hapụ iguzokwa, o mekwaghị ka
nkwa ahụ bụrụ ihe e wezugara ewezuga. 18 Ọ bụrụ na inweta ihe nketa nke ya na
nkwa ahụ so dabeere n'iwu, mgbe ahụ, ihe nketa ahụ adabereghị na nkwa e kwere.
Ma Chineke sitere n'amara nye Ebraham ihe nketa ahụ site na nkwa o kwere ya.

* **3:6** 3:6 Jen 15:6 † **3:8** 3:8 Jen 12:3; 18:18; 22:18 ‡ **3:10** 3:10 Dit 27:26 § **3:11** 3:11 Hab 2:4 * **3:12** 3:12 Lev 18:5 † **3:13** 3:13 Dit 21:23 ‡ **3:16** 3:16 Jen 12:7; 13:15; 24:7

19 Gịnị mere e ji nye iwu? E nyere iwu ndị a n’ihi njehie, mee ka iwu ndị a dịgide
tutu ruo mgbe mkpụrụ ahụ bịara, bụ onye e kwere na nkwa. E sitere n’aka onye
ogbugbo mee ka ndị mmụọ ozi mee ka iwu ahụ dị ire. 20 Onye ogbugbo gosiri ihe
karịrị otu onye, ma Chineke bụ otu.
21 Iwu ahụ ọ na-emegide nkwa nke Chineke? Mba. N’ezie ọ dịghị. N’ihi na a sị
na e nwere iwu dị nke pụrụ inye mmadụ ndụ, mgbe ahụ, ezi omume gaara abịara
mmadụ site n’iwu. 22 Ma akwụkwọ nsọ mechibidoro ihe niile n’okpuru mmehie ka
e nwee ike nye ndị kwere ekwe nkwa ahụ e kwere ha site n’okwukwe n’ime Jisọs
Kraịst.

*Ụmụ Chineke*

23 Ma tupu okwukwe abịa, e ji iwu na-eche anyị nche. Iwu nọ ọnọdụ dị ka ụlọ
mkpọrọ ebe e tinyere anyị tutu ruo mgbe a ga-eme ka okwukwe pụta ìhè. 24 Ya mere,
iwu bụ onye nlekọta anyị, ruo mgbe Kraịst bịara, ka a gụọ anyị na ndị ezi omume
site n’okwukwe. 25 Ma ebe ọ bụ na okwukwe abịala, anyị anọkwaghị n’okpuru onye
nlekọta ọzọ.
26 Unu niile bụ ụmụ Chineke site n’okwukwe n’ime Kraịst Jisọs. 27 N’ihi na ka unu
niile ha, bụ ndị e mere baptizim n’ime Kraịst, abụrụla ndị yikwasịrị onwe ha Kraịst.
28 E nwekwaghị onye Juu, maọbụ onye Griik, maọbụ ohu maọbụ onye nwe onwe ya;
nwoke maọbụ nwanyị, n’ihi na unu niile bụ otu n’ime Kraịst Jisọs. 29 Ọ bụrụ na unu
bụ ndị nke Kraịst, mgbe ahụ unu bụkwa mkpụrụ Ebraham, ndị nketa dị ka nkwa
ahụ si dị.

# 4

1 Isiokwu m bụ nke a, mgbe nwa bụ onye ga-eketa ihe nna ya ka dị na nwata, ọnọdụ
ya akaghị mma karịa nke ohu, ọ bụ ezie na akụ ahụ niile bụ nke ya. 2 Ma ha ka nọ
n’okpuru ndị nlekọta na ndị e tinyere ya n’aka ruo oge nna ya kwuru. 3 Otu a ka
ọnọdụ anyị dị, mgbe anyị bụ ụmụntakịrị. Anyị nọ dị ka ohu n’okpuru mmụọ nke
ụwa. 4 Ma mgbe oge a kara aka ruru, Chineke zitere Ọkpara ya, bụ onye amụrụ site
na nwanyị, onye amụrụ n’okpuru iwu, 5 ka ọ gbapụta ndị nọ n’okpuru iwu, ime anyị
ndị a ga-agụ dị ka ụmụ a họpụtara. 6 Ebe unu bụ ụmụ, Chineke zitere Mmụọ Ọkpara
ya, ka ọ bịa biri n’obi anyị, na-eti mkpu na-asị, “Abba, Nna.” 7 Ugbu a, ị bụkwaghị
ohu, kama ị bụ nwa. Ebe ị bụ nwa, e meekwala ka ị bụrụ onye nketa site na Chineke.

*Mmetụta obi Pọl maka ndị Galeshịa*

8 N’oge gara aga, mgbe unu na-amaghị Chineke, unu bụ ohu nye chi niile nke na-
abụghị dịka ha si pụta ụwa. 9 Ma ugbu a, unu matarala Chineke, ka m ga-asị na
Chineke amatala ndị unu bụ, gịnị mere unu ji chọọ ịtụgharị azụ laghachi n’okpukpe
ndị ahụ na-enweghị isi, nke ike ọbụla na-adịghị n’ime ha? Unu chọrọ ka ha mee unu
ndị ohu ha ọzọkwa? 10 Unu na-edebe ụbọchị ụfọdụ, na ọnwa ụfọdụ, na oge ụfọdụ,
na afọ ụfọdụ. 11 Egwu na-atụ m na ọrụ niile m rụrụ n’etiti unu abụrụla ihe efu.
12 Ezi ụmụnna m, arịọọ m unu, meenụ onwe unu dị ka mụ onwe m, n’ihi na mụ
onwe m emela onwe m ka m dị ka unu. O nweghị ihe ọjọọ ọbụla unu mere m. 13 Unu
maara na ọ bụ n’ime adịghị ike nke anụ ahụ ka m ji kwusaara unu oziọma a. 14 Ọ bụ
ezie, ọnọdụ m n’oge ahụ bụ ọnwụnwa n’ebe unu nọ, unu eledaghị m anya, maọbụ
jụ ige m ntị. Kama unu nabatara m, dị ka mmụọ ozi Chineke, maọbụ dị ka a ga-asị
na m bụ Jisọs Kraịst n’onwe ya. 15 Ebee ka mmụọ nke obi ụtọ ahụ unu nwere nọ?
N’ihi na m na-agba ama, na-asị na ọ bụrụ ihe a pụrụ ime, unu gaara aghụpụta anya
unu nye m. 16 Ugbu a, aghọọla m onye iro unu, n’ihi na m na-agwa unu eziokwu?
17 Ha na-ezipụta mmasị n’ebe unu nọ, ma ọ bụghị maka ọdịmma unu. Ha chọrọ
ikewapụ unu n’ebe m nọ, ka unu nwee mmasị n’ebe ha nọ. 18 Maka ebumnuche

dị mma, ọ dị mma inwe mmasị mgbe niile. Ọ bụghị naanị mgbe mụ na unu nọ.
[19] Ụmụntakịrị m, ndị m kwe maka ha nọdụ n'ọnọdụ ihe mgbu nke ọmụmụ nwa ọzọ,
na-eche ụbọchị ahụ a ga-eme ka ụdịdị Kraịst dị n'ime unu. [20] Ọ gaara adị m mma
ma a sị na m nọ n'etiti unu ugbu a, nwee ike ịmata otu m ga-esi gbanwee olu okwu
m, n'ihi na-amaghị m ihe m kwesiri ime n'ihi ọnọdụ unu.

### *Hega na Sera*

[21] Gwanụ m, unu ndị na-eche na ọ dị mkpa idebe iwu, unu agaghị aṅaa ntị na ihe
iwu ahụ kwuru? [22] N'ihi na e dere ya n'akwụkwọ nsọ na Ebraham nwere ụmụ nwoke
abụọ. Otu n'ime ha bụ nwa nke ohu ya nwanyị mụrụ, nke ọzọ bụ nke nwunye ya
na-abụghị ohu mụtara. [23] Nwa ahụ nke ohu nwanyị ahụ mụrụ bụ onye amụrụ site
na anụ ahụ. Ma nwa ahụ nwunye ya na-abụghị ohu mụtara bụ onye a mụrụ site na
nkwa.
[24] Anyị ga-ewere ihe ndị a dị ka ihe ịmaatụ, n'ihi na ụmụ nwanyị abụọ ndị a nọchiri
anya ọgbụgba ndụ abụọ. Otu ọgbụgba ndụ sitere n'Ugwu Saịnaị ma mụọkwa ụmụ
ndị bụ ohu: nke a bụ Hega. [25] Hega bụ Ugwu Saịnaị nke dị n'Arebịa. Ọ dabara
n'ọnọdụ Jerusalem nke ugbu a, n'ihi na ya na ụmụ ya nọ n'ohu. [26] Ma nwanyị nke
ọzọ nọ ọnọdụ Jerusalem nke dị n'elu, nke nwe onwe ya. Ọ bụkwa ya bụ nne anyị.
[27] N'ihi na e dere ya,

"Ṅụrịa ọṅụ, gị nwanyị aga,
onye na-amụtaghị nwa.
Tie mkpu ọṅụ, tisiekwa mkpu akwa ike
gị onye ime nwa na-emetụbeghị,
n'ihi na ụmụ nwanyị ahụ a hapụrụ naanị ya ga-adị ọtụtụ
karịa ụmụ nke nwanyị nwere dị."*

[28] Ugbu a, ụmụnna m, unu bụ ụmụ ahụ nke e kwere na nkwa, dị ka Aịzik. [29] N'oge
ahụ, nwa ahụ a mụrụ n'ụzọ anụ ahụ kpagburu nwa ahụ a mụrụ site n'ike nke Mmụọ
Nsọ. Otu a ka ọ dịkwa n'oge a. [30] Ma gịnị ka akwụkwọ nsọ kwuru? "Chụpụ ohu
nwanyị a na nwa ya, n'ihi na nwa nwoke ohu nwanyị a apụghị isoro nwa nke nwanyị
na-abụghị ohu kerikọta oke."† [31] Ya mere, ụmụnna m, anyị abụghị ụmụ nke nwanyị
ohu, kama anyị bụ ụmụ nke nwanyị nwere onwe ya.

# 5

### *Inwe onwe anyị n'ime Kraịst*

[1] Kraịst emeela ka anyị pụọ n'ohu, n'ihi anyị inwere onwe anyị. Ya mere, gbalịanụ
ịhụ na unu e nyeghị onwe unu n'ọnọdụ ohu ọzọ.
[2] Geenụ m ntị, mụ onwe m bụ Pọl na-agwa unu nke a. Ọ bụrụ na unu anabata
obibi ugwu, Kraịst agaghị abara unu uru ọbụla. [3] Ka m kwuokwa ya ọzọ, onye ọbụla
kweere ka e bie ya ugwu ji ụgwọ idebezu iwu niile ahụ. [4] E kewapụla unu n'ebe
Kraịst nọ, unu ndị a ga-agụnye na ndị ezi omume site n'iwu. Unu adapụla n'amara
ya. [5] N'ihi na anyị onwe anyị nwere olileanya na site n'ike nke Mmụọ Nsọ, a ga-agụ
anyị na ndị ezi omume site n'okwukwe anyị. [6] N'ihi n'ime Kraịst Jisọs, obibi ugwu
maọbụ ebighị ugwu abaghị uru. Ihe dị mkpa bụ okwukwe nke na-egosi onwe ya site
n'ịhụnanya.
[7] Unu na-agbabu ọsọ nke ọma, onye gbochiri unu ikwenyere eziokwu ahụ? [8] Ụdị
nkwagide ahụ esiteghị n'ebe Onye ahụ kpọrọ unu bịa. [9] Nwantịntị ihe na-eko achịcha
na-eme ka ogbe ụtụ ọka a gwọrọ agwọ koo. [10] Enwere m ntụkwasị obi n'ime Onyenwe
anyị na unu agaghị eche echiche n'ụdị a ọzọ, ma ikpe ọmụma ga-adịrị onye ọbụla
na-eduhie unu ọzọ. [11] Ụmụnna m, ọ bụrụ n'ezie na m na-ekwusa mkpa obibi ugwu

* **4:27** 4:27 Aịz 54:1 † **4:30** 4:30 Jen 21:10

dị, gịnị mere e ji nọgide na-akpagbu m? Ọ bụrụ na m mee otu ahụ, ewepụla m ihe
ọdachi ahụ dị n'obe. [12] Ọ gaara atọ m ụtọ ma ọ bụrụ na ndị ahụ na-esogbu unu
ga-eme onwe ha ndị onozi.

### *Ndụ site na Mmụọ Nsọ*

[13] N'ihi na e meela ka unu nwere onwe unu, ụmụnna m, ma unu ekwela ka mnwere
onwe unu bụrụ ohere nye anụ ahụ unu, kama werenụ ịhụnanya na-agbara ibe unu
odibo. [14] N'ihi na ọ bụrụ na a chịkọta iwu niile n'otu, ihe iwu niile na-ekwu bụ nke
a, "Na-ahụnụ ndị ọzọ n'anya dịka unu si hụ onwe unu n'anya."* [15] Ọ bụrụ na unu
na-akọcha ibe unu, na-eji ọnụ unu na-ekwutọ ha, kpacharanụ anya ka unu hapụ ịla
onwe unu n'iyi.
[16] Ana m agwa unu nke a: na-adịnụ ndụ nke Mmụọ Nsọ na-achị, unu anọkwala
n'ọchịchọ nke anụ ahụ. [17] N'ihi na ihe anụ ahụ chọrọ dị iche n'ihe Mmụọ Nsọ chọrọ.
Ihe Mmụọ Nsọ chọrọ dịkwa iche n'ihe anụ ahụ chọrọ. Ịgba mgba dị n'etiti ha na-eme
ka ị hapụ inwe ike mee ihe ị chọrọ ime. [18] Ma ọ bụrụ na Mmụọ Nsọ na-edu unu, unu
anọkwaghị n'okpuru iwu.
[19] Ugbu a, ọrụ nke anụ ahụ pụtara ihe: ịkwa iko, adịghị ọcha na agụụ ịkwa iko.
[20] Ikpere arụsị, iri amụsụ, ibu iro n'obi, na ịlụ ọgụ, ekworo na iwe, ịkpa iche iche,
nkewa, ịhọ otu. [21] Ịkpọ asị, igbu ọchụ, ịṅụbiga mmanya oke, oke oriri na ihe ndị ọzọ
yiri ha. Ana m adọ unu aka na ntị dịka m gwara unu n'oge gara aga, ndị na-eme ihe
dị otu a agaghị abanye n'alaeze Chineke.
[22] Ma mkpụrụ nke Mmụọ Nsọ bụ, ndụ ịhụnanya, na ọṅụ, na udo, na ogologo
ntachiobi, na obiọma, na ịdị mma, na ikwesi ntụkwasị obi, [23] ịdị nwayọọ, na ijide
onwe. Ọ dịkwaghị iwu na-emegide ihe ndị a. [24] Ma ndị niile bụ ndị Kraịst Jisọs
akpọgidela anụ ahụ ha, ya na ọchịchọ ha n'elu obe. [25] Ọ bụrụ na anyị na-ebi ndụ
mmụọ, ka nzọ ụkwụ anyị bụrụ nke mmụọ na-eduzi. [26] Ka anyị ghara ịbụ ndị mpako
si otu a na-akpali iwe na ekworo n'etiti anyị.

# 6

### *Na-eburịtanụ ibu dịrị ibe unu*

[1] Ụmụnna m, ọ bụrụ na-anwude onye ọbụla dabara na mmehie, unu onwe unu bụ
ndị Mmụọ na-achị kwesiri iji mmụọ nke ịdị nwayọọ na obi dị umeala nyere onye ahụ
aka, ime ka ọ gazie n'ezi ụzọ. Ma lezienụ onwe unu anya, onye ọbụla n'ime unu,
n'ihi na a pụrụ ịnwakwa unu. [2] Na-eburịtanụ nsogbu dịrị ibe unu, ma site n'otu a ka
unu nwee ike debezuo iwu Kraịst. [3] Ọ bụrụ na onye ọbụla na-eche na o nwere ihe
ya bụ mgbe o nweghị ihe ọ bụ, onye ahụ na-eduhie onwe ya ụzọ. [4] Ka onye ọbụla
nyocha ọrụ ya, ma ọ bụrụ na ọrụ ya dị mma, mgbe ahụ ka ọ ga-enwe ihe ịnya isi
n'ime onwe ya na-abụghị n'ebe ọrụ onye ọzọ dị. [5] N'ihi na onye ọbụla ga-ebu ibu nke
dịịrị ya. [6] Ka onye a na-akụziri okwu ahụ jisie ike ka ya na onye nkuzi ya na-ekekọ
ezi ihe niile.
[7] Unu ekwela ka e duhie unu, n'ihi na mmadụ ọbụla apụghị ịkwa Chineke emo.
Mkpụrụ ọbụla mmadụ kụrụ ka ọ na-aghọrọ. [8] Ọ bụrụ na mmadụ akụọ mkpụrụ nke
anụ ahụ, ọ ga-esikwa n'anụ ahụ ghọta mmebi, ma ọ bụrụ na mmadụ akụọ mkpụrụ
nke Mmụọ, ọ ga-esitekwa na Mmụọ ghọta ndụ ebighị ebi. [9] Ya mere, ka ike ghara
ịgwụ anyị ime ihe ọma. N'ihi na mgbe e mesiri, mgbe oge ya ruru, anyị ga-eweta
ngọzị dị ukwuu dị ka ihe ubi, ma ọ bụrụ na anyị adaghị mba. [10] N'ihi nke a, mgbe anyị
nwere oghere ka anyị na-emere mmadụ niile ihe ọma, ọkachasị n'ebe ndị ezinaụlọ
nke okwukwe anyị nọ.

---

* **5:14** 5:14 Lev 19:18

*Ọ bụghị ibi ugwu kama ị bụ onye e kere ọhụrụ*

11 Leenu otu mkpụrụ akwụkwọ m ji aka m dee n’akwụkwọ ozi a si gbaa okpotokpo.

12 Ọ bụ ndị na-achọ ka a hụ ha n’anụ ahụ, bụ ndị ga-amanye unu ka e bie unu
ugwu, naanị ihe ha ji eme otu a bụ ka a ghara ịkpagbu ha n’ihi obe Kraịst. 13 Ọ
bụladị ndị kwere ka e bie ha ugwu, anaghị edebe iwu, kama ha chọrọ ka e bie unu
ugwu ka ha nwee ike jiri ya nyaa isi n’anụ ahụ. 14 Ka m gharakwa ịnya isi n’ihe ọbụla
karịakwa n’obe Onyenwe anyị Jisọs Kraịst. Nke e sitere na ya kpọgbuo ụwa n’ebe
m nọ, ma kpọgbukwaa mụ onwe m n’ebe ụwa nọ. 15 Obibi ugwu abụghị ihe, ebighị
ugwu abụghịkwa ihe, kama ị bụ onye e kere ọhụrụ bụ ihe dị mkpa. 16 Ka udo na
ebere dịnyere ndị niile na-ebi ndụ ha n’usoro a, dakwasịkwa unu Izrel nke Chineke.

17 Site ugbu a gaa n’ihu, achọghị m ka onye ọbụla nye ndụ m nsogbu, n’ihi na-ebu m apa nke Jisọs n’ahụ m.

18 Ụmụnna m, ka amara Onyenwe anyị Jisọs Kraịst dịnyere mmụọ unu. Amen.

# Ndị Efesọs

1 Akwụkwọ ozi a sitere n’aka mụ onwe m bụ Pọl, onye Chineke họpụtara ịbụ
onyeozi Jisọs Kraịst.

Ọ bụ unu ndị nsọ bi n’Efesọs, unu bụ ndị kwesiri ntụkwasị obi n’ime Kraịst Jisọs,
ka m na-edere ya:

2 Ka amara na udo nke sitere na Chineke Nna anyị, na Onyenwe anyị Jisọs Kraịst
dịrị unu.

*Ngọzị dịrị anyị n’ime Kraịst*

3 Ka otuto dịrị Chineke, na Nna Onyenwe anyị Jisọs Kraịst, bụ onye gọziri anyị site
n’inye anyị ngọzị niile nke ime mmụọ nke si n’ebe niile nke eluigwe n’ime Kraịst.
4 Dịka o si họpụta anyị n’ime Kraịst tupu a tọọ ntọala ụwa, ka anyị bụrụ ndị dị nsọ
na ndị na-enweghị ịta ụta n’ihu ya n’ịhụnanya. 5 O kpebiri ime anyị ụmụ ya site
n’ihi Kraịst Jisọs. Ma o mekwara ihe ndị a niile n’ihi na ọ tọrọ ya ụtọ n’obi, bụrụkwa
ihe o zubere ime. 6 Ka e si otu a too ịdị ebube nke amara ya, nke o ji obi ya niile nye
anyị n’ime Onye ahụ ọ hụrụ n’anya. 7 N’ime ya, anyị nwere mgbapụta site n’ọbara
ya, bụ mgbaghara nke njehie niile anyị; dị ka ịba ụba nke amara ya si dị, 8 nke o
mere ka ọ babigara anyị ụba oke site n’amamihe na nghọta niile. 9 O meela ka anyị
mata ihe omimi nzube ya, dị ka o si tọọ ya ụtọ, bụ ihe omimi o zubere ime n’ime
Kraịst. 10 Nke ọ ga-eme ka o mezuo mgbe oge ya niile zuru, nke bụ ịchịkọta ihe niile
n’ime ya, bụ ihe ndị dị n’eluigwe na n’ụwa n’okpuru Kraịst.
11 N’ime Kraịst ka e mere anyị ndị nketa, ndị e bururị ụzọ họpụta na mbụ, dị ka
atụmatụ onye ahụ na-arụpụta ihe niile n’izuoke nke nzube na ebumnuche ya. 12 Nke
mere na anyị, ndị buuru ụzọ nwee olileanya na Kraịst, ga-ebi ndụ n’otuto nke ebube
ya. 13 Unu bụkwa ndị a gụnyere n’ime Kraịst mgbe unu nụrụ ozi nke eziokwu ahụ
bụ oziọma nke nzọpụta. Mgbe unu kwenyere, a kara unu akara n’ime ya bụ akara
nke nkwa ahụ bụ Mmụọ Nsọ. 14 Nke a bụ ihe nketa anyị tutu ruo mgbe a rụzuru ọrụ
mgbapụta nke ndị ahụ niile bụ ihe nweta Chineke. Ka e si otu a too ebube ya.

*Ekele na ekpere*

15 N’ihi nke a, ebe m nụrụ akụkọ banyere okwukwe unu n’ime Onyenwe anyị Jisọs,
nụkwa maka ịhụnanya unu nwere n’ebe ndị nsọ niile nọ, 16 esepụghị m aka ikele
ekele n’ihi unu, mgbe niile m na-echeta unu n’ekpere m niile. 17 Ana m arịọ Chineke
nke Onyenwe anyị Jisọs Kraịst bụ Nna Onyenwe ebube niile, ka o nye unu Mmụọ
amamihe na ezi nghọta ka unu nwee ike matazie nke ọma onye ọ bụ, 18 ka o meghee
anya nke ime mmụọ unu ka unu matakwa ụdị olileanya unu nwere n’ihi ọkpụkpọ ọ
kpọrọ unu, na akụ, na ihe nketa dị ebube o nwere n’ime ndị nsọ. 19 Na ịdị ukwuu
nke ike ya nke na-enweghị atụ dịrị anyị, bụ ndị kwere ekwe, dịka ịrụsị ọrụ ike nke
ike ya si dị. 20 Nke ọ rụrụ n’ime Kraịst mgbe o si n’ọnwụ kpọlite ya mee ya ka ọ
nọdụ n’aka nri ya n’ebe niile nke eluigwe. 21 Ọnọdụ ya dị elu karịa ọchịchị niile, na
ikike ọchịchị niile, na ike niile na ịchị isi niile, na aha ọkwa ọchịchị nke e nwere ike
inye mmadụ, ọ bụghị naanị n’ọgbọ a, kama ma n’ọgbọ ọzọ na-abịa. 22 O mere ka ihe
niile dị n’okpuru ya, meekwa ya ka ọ bụrụ onyeisi ihe niile nye nzukọ ya bụ chọọchị.
23 Nke bụ ahụ ya, ozuzu oke nke onye ahụ na-emejupụta ihe niile n’ụzọ niile.

# 2

*E mere anyị ndị dị ndụ n'ime Kraịst*

1 Ma unu onwe unu, unu nwụrụ anwụ site na njehie ụzọ na mmehie unu. 2 Nke
unu biri ndụ n'ime ha mgbe unu na-agbaso ụzọ niile nke ụwa a, na ụzọ onye ọchịchị
nke alaeze ikuku, bụ mmụọ ahụ na-arụ ọrụ ugbu a na ndụ ndị ahụ na-enupu isi.
3 Anyị niile bikwara ndụ anyị n'etiti ha, n'oge gara aga, na-emejupụta agụụ nke anụ
ahụ mmehie, ma na-agbaso ọchịchọ ya na ebumnuche ya. N'ihi na site n'ọdịdị anyị,
anyị na ndị ọzọ nọ n'ọmụma ikpe ya. 4 Chineke onye jupụtara n'obi ebere, maka oke
ịhụnanya o nwere n'ebe anyị nọ, 5 mere ka anyị soro Kraịst dịrị ndụ ọzọ; ọ bụladị
mgbe anyị bụ ndị nwụrụ anwụ n'ime ajọ omume. Ọ bụ site n'amara ya ka e ji zọpụta
unu. 6 Ọ kpọlitere anyị na ya, mee ka anyị nọdụ ọdụ n'ebe niile nke eluigwe n'ime
Kraịst Jisọs. 7 O mere nke a igosi ọgbọ nke na-abịa, ịdị ukwuu nke akụ amara ya,
nke o sitere n'obiọma ya gosi anyị n'ime Kraịst Jisọs. 8 N'ihi na ọ bụ site n'amara ka
e ji zọpụta unu site n'okwukwe. Nke a abụghị ihe unu rụpụtara n'onwe unu, ọ bụ
onyinye nke Chineke. 9 O siteghị n'ọrụ, ka onye ọbụla ghara ịnya isi. 10 N'ihi na anyị
bụ akaọrụ ya, nke o kere n'ime Kraịst Jisọs n'ihi ịrụ ezi ọrụ. Ọ bụ otu a ka Chineke
siri kwadoo na anyị kwesiri ibi ndụ ụbọchị niile.

*Ịbụ otu anyị n'ime Kraịst*

11 Ya mere, chetanụ na n'oge gara aga, unu bụ ndị mba ọzọ site n'ọmụmụ nke
a mụrụ unu. Chetakwanụ na "ndị e biri ugwu" na-akpọkwa unu "ndị a na-ebighị
ugwu" (n'ihi obibi ugwu n'anụ ahụ nke eji aka bie). 12 N'oge ahụ, ọ dịghị ihe jikọtara
unu na Kraịst. E kewapụtara unu site na mmekọrịta nke Izrel, bụrụkwa ndị ọbịa
n'ọgbụgba ndụ ahụ, na-enweghị olileanya na-enweghịkwa Chineke n'ime ụwa. 13 Ma
ugbu a n'ime Kraịst Jisọs, unu bụ ndị nọ n'ebe dị anya n'oge gara aga, ka e mere ka
unu bịaruo nso site n'ọbara Kraịst nke a wụsiri.

14 N'ihi na ya onwe ya bụ udo anyị, o mere ka ụzọ otu abụọ bụrụ otu ihe n'ime ahụ
ya, site na ịkwatu mgbidi kewara ha na mgbe ochie, bụ mgbidi nke ịkpọ asị dị n'etiti
anyị. 15 Ọ bụ n'ime anụ ahụ ya ka ọ mere ka iwu ahụ na ụkpụrụ ya niile ghara ịdị
ire. Ebumnobi ya bụ i kee n'ime onwe ya otu onye ọhụrụ site na mmadụ abụọ ahụ,
si otu a mee ka udo dịrị. 16 N'ụzọ dị otu a ka ọ ga-esi kpeziere anyị na Chineke site
n'obe ya, wetakwa n'isi ngwụcha, iro dị n'etiti ha abụọ. 17 Ya mere, ọ bịara kwusaa
udo nye unu ndị nọ ebe dị anya na unu ndị nọ nso, 18 N'ihi na anyị abụọ sitere n'aka
ya nweta nnabata anyị ịbịa n'ihu Nna site n'otu Mmụọ ahụ.

19 Matakwanụ ugbu a na unu abụkwaghị ndị mba ọzọ na ndị ọbịa. Unu esorola
ndị nsọ bụrụ diala na ndị so n'ezinaụlọ Chineke, 20 nke a rụkwasara n'elu ntọala
nke ndị ozi na ndị amụma, nke Kraịst Jisọs n'onwe ya bụ nkume isi ntọala ya. 21 Ọ
bụkwa n'ime ya ka a na-ejikọta ụlọ ahụ niile nke ọma, na-aba ụba, too bụrụ ụlọnsọ,
n'ime Onyenwe anyị. 22 Onye a na-ewukọkwa unu onwe unu n'otu n'ime ya, ka unu
niile bụrụ ebe obibi Chineke n'ime Mmụọ.

# 3

*Pọl onye nkwusa nye ndị mba ọzọ*

1 Ọ bụ n'ihi nke a ka mụ onwe m bụ Pọl bụ onye mkpọrọ nke Jisọs Kraịst maka
unu ndị mba ọzọ.

2 N'ihi n'ezie, unu anụla banyere nlekọta nke amara Chineke ahụ nke e nyere m
maka ọdịmma unu. 3 Otu e si kpughee nzube nzuzo ya niile nye m, dị ka m gwara
unu ihe banyere ya n'okwu dị nta n'akwụkwọ ozi ahụ m detara unu. 4 Ọ bụrụkwa
na unu agụọ akwụkwọ ahụ m deere, unu ga-aghọta ihe m maara banyere ihe omimi
Kraịst. 5 Nke a e meghị ka ụmụ mmadụ mara n'ọgbọ gara aga dị ka Mmụọ Nsọ siri

kpugheere ya ndị ozi na ndị amụma ya dị nsọ ugbu a. 6 Otu a ka ndị mba ọzọ si soro
bụrụ ndị nketa, ndị ga-abụ otu anụ ahụ na ndị ga-eketa nkwa ahụ n'ime Jisọs Kraịst
site n'oziọma.
7 E mere m ka m bụrụ onyeozi nke oziọma a, dịka onyinye amara nke Chineke si dị,
bụ nke e nyere m site n'ịrụ ọrụ nke ike ya. 8 Ọ bụ ezie na mụ bụ onye dịkarịsịrị nta
n'etiti ndị nsọ niile, e nyere m amara nke a, ikwusara ndị mba ọzọ oziọma banyere
akụ nke enweghị atụ nke juru n'ime Kraịst, 9 meekwa ka mmadụ niile hụ ihe bụ
atụmatụ nke ihe omimi e zoro n'ime Chineke onye kere ihe niile, ọtụtụ afọ. 10 Ka
ọ ga-abụ site na chọọchị, a ga-eme ka amamihe Chineke n'ụdị dị iche iche bụrụ ihe
ọchịchị na ikike niile dị n'eluigwe ga-amata. 11 Nke a bụ n'usoro nke atụmatụ ya
dị ebighị ebi, nke e mezuru n'ime Jisọs Kraịst Onyenwe anyị, 12 bụ onye anyị nwere
ntụkwasị obi na obi siri ike ịbịakwute site n'okwukwe anyị nwere na ya. 13 N'ihi nke
a, arịọ m ka unu ghara ịda mba maka mkpagbu m n'ihi unu, ha bụ otuto nye unu.

### *Ekpere Pọl maka ndị Efesọs*

14 Ọ bụ n'ihi nke a ka m na-egbu ikpere m n'ala n'ihu Nna anyị, 15 onye ezinaụlọ
niile dị n'ụwa a na nke dị n'eluigwe na-esite n'aka ya enwe aha. 16 Ekpere m bụ
ka o site n'ịba ụba nke otuto ya, nye unu ike na-esite na Mmụọ ya, mee ka unu dị
ike n'ime mmụọ unu; 17 ka Kraịst nwee ike biri n'obi unu site n'okwukwe, ka unu
ndị gbanyere mgbọrọgwụ guzosiekwa ike n'ịhụnanya. 18 Ana m arịọkwa, ka unu
na ndị nsọ niile nwee ike ịghọta ihe bụ obosara, ogologo, ịdị elu na ịdị omimi, 19 na
ịmatakwa ịhụnanya nke Kraịst nke karịrị amamihe, ka unu jupụtakwa n'izuoke niile
nke Chineke.
20 Ugbu a, nye onye ahụ pụrụ imebiga ihe n'oke karịa ihe niile nke anyị rịọrọ,
maọbụ karịa ka anyị pụrụ ichepụta n'uche anyị, site n'ike ya nke na-arụ ọrụ n'ime
anyị, 21 ọ bụ ya ka otuto dịrị n'ime chọọchị na n'ime Kraịst Jisọs ruo ọgbọ niile nke
mgbe niile, ebighị ebi ruo ebighị ebi. Amen.

## 4

### *Ịdị n'otu nke anụ ahụ Kraịst*

1 Ya mere, mụ onwe m bụ onye mkpọrọ nke Onyenwe anyị, na-arịọ unu ka unu
bie ndụ kwesiri ọkpụkpọ nke a kpọrọ unu. 2 Werekwanụ obi dị umeala niile na ịdị
nwayọọ, na ndidi na-anagide ibe unu n'ịhụnanya. 3 Nọọnụ n'udo n'etiti onwe unu
gbalịakwanụ ime ka ịdị n'otu unu dịgide n'ime Mmụọ Nsọ. 4 E nwere otu ahụ na otu
Mmụọ, dị ka e siri kpọọ unu n'otu olileanya nke dịịrị ọkpụkpọ a kpọrọ unu. 5 Otu
Onyenwe anyị dị, otu okwukwe na otu baptizim. 6 Ọ bụkwa naanị otu Chineke dị
onye bụ Nna ihe niile na onye na-achị ihe niile, na onye na-arụ ọrụ ya n'ime ihe
niile, na-ebikwa n'ime ihe niile.
7 Ma e nyere onye ọbụla amara dịka oke onyinye nke Kraịst siri dị. 8 N'ihi nke a,
e kwuru,
"Mgbe ọ rigoro gaa n'elu,
o duuru igwe ndị a dọtara n'agha,
nyekwa ụmụ mmadụ onyinye dị iche iche."*
9 (E kwuru, "Ọ rigoro," gịnị ka ọ pụtara ma ọ bụghị na o buru ụzọ rịdaa n'ime ala
mmụọ? 10 Onye ahụ si n'elu rịdata bụkwa otu onye ahụ rigoro n'eluigwe, ka o nwee
ike mejuo ihe niile.) 11 O nyekwara ụfọdụ onyinye ị bụ ndị ozi, ụfọdụ ndị amụma,
ụfọdụ ndị nkwusa oziọma, ụfọdụ ndị ụkọchukwu na ndị nkuzi. 12 Nke a bụ maka
ikwadobe ndị nsọ maka ọrụ nke ije ozi, iji wulite ahụ nke Kraịst; 13 tutu anyị niile

* **4:8** 4:8 Abụ 68:18

abịa na nkwekọta banyere okwukwe anyị, na ọmụma ihe banyere ọkpara Chineke,
bụrụ onye tozuru oke, ruo ọtụtụ nke ogogo na ozuzu oke nke Kraịst.
14 Mgbe ahụ anyị agaghị abụkwa ụmụntakịrị, ndị ikuku ozizi ọhụrụ dị iche iche
na-ebugharị ihu na azụ dị ka ebili mmiri, na ịgha ụgha nke mmadụ, bụ ozizi na-esite
n'ime aghụghọ nke ha ji echepụta nduhie. 15 Kama n'ikwu eziokwu site na mmụọ
ịhụnanya, anyị ga-eto bụrụ ndị tozuru oke n'akụkụ niile n'ime ya, bụ onye ahụ bụ
isi, nke bụ Kraịst. 16 Onye anụ ahụ niile, jikọtara ọnụ ma bụrụ otu, site na nkwonkwo
niile nke na-enyezu ya nkwado, dịka akụkụ niile ọbụla na-arụ ọrụ ya nke ọma, na-
esite n'ụzọ ahụ enyere akụkụ ndị ọzọ aka, ime ka ha too, nakwa iwuli ha elu site
n'ịhụnanya.

### *Ibi ndụ dị ka ụmụ nke ihe*

17 Ya mere, ana m ekwu nke a, ma na-eguzokwa na ya n'ime Onyenwe, ka unu
hapụ ibi ndụ dị ka ndị mba ọzọ si ebi, na echiche ha na-abaghị uru. 18 Ndị ọchịchịrị
gbachiri nghọta ha. Ndị dị otu a enweghị oke na ndụ ahụ Chineke na-enye, n'ihi na
obi ha mechiri emechi, ha adịghị aghọtakwa. 19 Ha abụrụla ndị obi ha kpọrọ nkụ,
ndị were onwe ha nyefee ime ihe niile masịrị ọchịchọ ha, ka ha si otu a na-ebi ndụ
adịghị ọcha niile, ha bụ ndị jupụtara n'anya ukwu.
20 Ma nke a abụghị otu unu siri mụta Kraịst, 21 ma ọ bụrụ na unu anụla ihe banyere
ya, ọ bụrụkwa na unu amụtala ihe site n'aka ya banyere eziokwu ahụ dị n'ime Jisọs.
22 Yipụnụ mmadụ ochie unu, nke mere ka unu na-ebi ndụ ọjọọ na mbụ, bụ mmadụ
ochie ahụ nke jupụtara n'agụụ ime ihe ọjọọ niile, 23 ka eme ka mmụọ nke uche unu
dị ọhụrụ. 24 Ma yikwasịnụ onwe unu mmadụ ọhụrụ, nke e kere n'ụdịdị Chineke n'ezi
omume n'ezie nakwa n'ịdị nsọ.
25 Ya mere, wezuganụ ịgha ụgha, ka anyị niile kwuo eziokwu nye ndị agbataobi
anyị, n'ihi na anyị niile bụ ndị e jikọtara n'otu anụ ahụ. 26 Mgbe ị na-ewe iwe
emehiekwala.† Ekwela ka anyanwụ daa mgbe ị ka nọ na-ewe iwe. 27 Enyela ekwensu
ohere. 28 Ka onye na-ezu ohi kwụsị izu ohi. Kama ya jiri aka ya abụọ rụọ ezi ọrụ, ka
o nwee ike inyere ndị ọzọ nọ na mkpa aka.
29 Ka okwu rere ure ọbụla hapụ isite n'ọnụ unu pụta. Kama kwuonụ naanị ezi ihe
nke ga-aba uru iwuli ndị ọzọ elu dịka mkpa ha si dị na iwetara ndị nụrụ ya ngọzị.
30 Unu akpasukwala Mmụọ Nsọ nke Chineke iwe, onye a kara unu akara n'ime ya
maka ụbọchị nke mgbapụta. 31 Wepụnụ obi ilu niile, na obi ọjọọ na iwe, ya na
nkwulu na ibu iro niile n'etiti unu. 32 N'ọnọdụ ihe ndị a niile, nweenụ obi ebere
n'ebe ibe unu nọ. Gbagharanụ ibe unu dịka Chineke sitere n'amara ya gbaghara
unu n'ihi na unu bụ nke Kraịst.

## 5

1 Ya mere bụrụnụ ndị na-eṅomi Chineke, dị ka ụmụ a hụrụ n'anya. 2 Na-agakwanụ
n'ime ịhụnanya, dịka Kraịst siri hụ anyị n'anya ma were ndụ ya nye Chineke maka
anyị dịka aja na onyinye nke isi ụtọ.
3 Ma n'etiti unu, ka a ghara ịkpọta mmehie ịkwa iko, maọbụ nke adịghị ọcha,
maọbụ nke inwe anya ukwu aha, n'ihi na ihe ndị a ekwesighị n'etiti ndị nsọ. 4 Ọ
dịkwaghị mma ka unu na-ekwu okwu rụrụ arụ maọbụ okwu nzuzu maọbụ njakịrị,
kama ka e nwee inye ekele. 5 Matanụ nke ọma na onye na-akwa iko, maọbụ onye
rụrụ arụ, maọbụ onye anya ukwu, n'ihi na anya ukwu dị ka ikpere arụsị, enweghị
ike ịbata n'alaeze Kraịst na Chineke. 6 Unu ekwela ka onye ọbụla jiri okwu efu duhie
unu. Ọ bụ n'ihi omume ọjọọ ndị a ka iwe Chineke ji abịakwasị ndị na-anaghị erubere
ya isi. 7 Unu na ndị dị otu a enwela mmekọ.

† **4:26** 4:26 Abụ 4:4

[8] N'ihi n'oge gara aga, unu bụ ọchịchịrị, ma ugbu a, unu bụ ìhè n'ime Onyenwe
anyị. Na-ebinụ ndụ ka ụmụ nke ìhè [9] (n'ihi na a na-ahụ mkpụrụ nke ìhè n'ihe niile dị
mma, na ihe ziri ezi, na eziokwu). [10] Gbalịanụ ịchọpụta ihe na-amasị Onyenwe anyị.
[11] Unu etinyela aka n'ọrụ ọchịchịrị nke na-adịghị amị mkpụrụ ọbụla, kama gbaanụ
ha n'anwụ. [12] Ọ bụ ihe ihere ikwu okwu banyere ihe ndị a na-eme na nzuzo. [13] Mgbe
a gbara ihe ọbụla n'anwụ, ọ na-apụta ìhè nke ọma. N'ihi na ihe ọbụla e mere ka ọ
pụta ìhè nke ọma bụ ìhè. [14] Nke a mere na e kwuru,
"Bilie gị onye na-arahụ ụra.
Site n'ọnwụ bilie.
Kraịst ga-emekwa ka ihe ya mụkwasị gị."
[15] Kpachapụnụ anya otu unu si ebi ndụ unu. Unu ebila ndụ dị ka ndị nzuzu, kama
bienụ ndụ dị ka ndị maara ihe. [16] Jirinụ ohere niile unu nwere rụọ ọrụ ọma, n'ihi
na ụbọchị ndị a dị njọ. [17] Unu emela dị ka ndị na-enweghị uche, kama gbalịanụ
ịchọpụta ihe Onyenwe anyị chọrọ ka unu mee, [18] Unu aṅụbigala mmanya oke n'ihi
na ọ na-eduba na ndụ ịla n'iyi. Kama jupụtanụ na Mmụọ Nsọ, [19] werenụ abụ ọma,
na abụ nke ime mmụọ na-ekwe ukwe n'etiti onwe unu. Werekwanụ obi unu niile
na-abụrụ Onyenwe anyị abụ dị ụtọ. [20] Na-enyenụ Chineke bụ Nna ekele mgbe niile
na n'ihe niile, n'aha Onyenwe anyị Jisọs Kraịst.

*Okwu dịrị ezinaụlọ ndị nke Kraịst*

[21] Na-edonụ onwe unu n'okpuru ibe unu site n'egwu Kraịst.
[22] Unu ndị bụ nwunye, doonụ onwe unu n'okpuru di unu dị ka unu si doo onwe
unu n'okpuru Onyenwe anyị. [23] N'ihi na di bụ isi nwunye ya, dị ka Kraịst siri bụrụ
isi nzukọ ya bụ chọọchị, na Onye nzọpụta ya nke bụ anụ ahụ ya. [24] Ya mere, dị ka
nzukọ si edo onwe ya n'okpuru Kraịst, otu a ka ndị bụ nwunye kwesiri ido onwe ha
n'okpuru di ha n'ihe niile.
[25] Ndị bụ di, hụnụ nwunye unu n'anya dị ka Kraịst siri hụ nzukọ ya bụ chọọchị
n'anya nwụọ n'ihi ya. [26] O mere nke a ka o nwee ike doo ya nsọ, jirikwa okwu ya na
ịsa mmiri nke baptizim mee ka ọ dị ọcha. [27] Ka o chee nzukọ n'ihu ya onwe ya dị ka
ihe jupụtara n'ebube, nke na-enweghị ntụpọ, maọbụ ihu mgbarụ ma ọ bụkwanụ ihe
ọbụla dị otu a. Kama nke dị nsọ na-enweghị ịta ụta. [28] N'otu ụzọ ahụ kwa, ndị bụ di
kwesiri ịhụ nwunye ha n'anya dị ka ha si hụ anụ ahụ ha n'anya. N'ihi na onye ọbụla
hụrụ nwunye ya n'anya na-ahụ onwe ya n'anya. [29] Ọ dịghị onye ọbụla nke kpọrọ
anụ ahụ ya asị. Kama, ọ na-azụ ya na-edozikwa ya, dị ka Kraịst na-emere chọọchị.
[30] N'ihi na anyị niile bụ akụkụ anụ ahụ ya. [31] "N'ihi nke a ka nwoke ga-eji hapụ nne
na nna ya e jikọta ya na nwunye ya. Ha abụọ ga-abụ otu anụ ahụ."* [32] Nke a bụ ihe
omimi dị ukwuu ma eji m ya atụnyere Kraịst na chọọchị ya. [33] Ma otu ọ dị, onye
ọbụla n'ime unu aghaghị ịhụ nwunye ya n'anya dị ka ọ hụrụ onwe ya, nwunye ọbụla
aghakwaghị ịsọpụrụ di ya.

# 6

*Ụmụntakịrị na ndị mụrụ ha*

[1] Ụmụ, ruberenụ ndị mụrụ unu isi n'ihi na nke a ziri ezi n'ime Onyenwe anyị.
[2] "Sọpụrụ nne gị na nna gị," n'ihi na nke a bụ iwu mbụ nke nwere nkwa so ya. [3] "Ka
ihe nwe ike na-agara gị nke ọma, ka ị biekwa ogologo ndụ n'elu ụwa."*
[4] Ndị bụ nna, unu akpasukwala ụmụ unu iwe kama zụlitenụ ha n'ọzụzụ na n'ozizi
nke Onyenwe anyị.

*Ndị ohu na ndị nwe ha*

* **5:31** 5:31 Jen 2:24 * **6:3** 6:3 Dit 5:16

5 Ndị bụ ohu ruberenụ ndị nwee unu isi. Jirinụ nsọpụrụ na egwu na obi ọcha jeere
ha ozi dị ka a ga-asị na ọ bụ Kraịst ka unu na-ejere ozi ahụ. 6 Ruberenụ ha isi, ọ
bụghị naanị ka unu nata ihuọma ha mgbe ha nọ na-ele unu anya, kama dị ka ndị
ohu Kraịst, ndị na-eme uche Chineke site n’obi ha. 7 Jirinụ ọṅụ na ihuọma rụọ ọrụ
unu dị ka ọ bụ Onyenwe anyị ka unu na-arụrụ ya, ọ bụghị mmadụ. 8 N’ihi na unu
maara na Onyenwe anyị ga-akwụghachi onye ọbụla maka ihe ọma ọbụla ha mere,
ma ha bụ ohu maọbụ ndị nweere onwe ha.
9 Ndị a na-ejere ozi, mesonụ ndị na-ejere unu ozi mmeso n’ụzọ dị otu a. Abarala ha
mba, n’ihi na ị matara na unu nwere naanị otu Nna ukwu nọ n’eluigwe. Ile mmadụ
anya n’ihu adịghịkwa n’ebe ọ nọ.

*Ngwa agha Chineke*

10 N’ikpeazụ, dịnụ ike n’ime Onyenwe anyị na n’ime ike ya dị ukwuu. 11 Yikwasịnụ
ngwa agha niile Chineke ka unu nwee ike iguzosi ike megide nzube ọjọọ niile nke
ekwensu. 12 N’ihi na ndị anyị na-alụso ọgụ abụghị ndị mmadụ efu nwere anụ ahụ
na ọbara, kama ọ bụ megide ndịisi ha niile, megide ịchị isi niile, megide ike usuu
mmụọ ọjọọ nke ike ụwa ọchịchịrị a, megidekwa mmụọ ajọ ihe niile nọ n’ebe dị
elu nke eluigwe. 13 Ya mere, yikwasịnụ ngwa agha niile nke Chineke ka unu nwee
ike iguzosi ike mgbe onye iro ahụ ga-alụso unu ọgụ. Ka unu nweekwa ike iguzo
ọ bụladị mgbe unu chụghachiri ha azụ. 14 Meenụ ka eziokwu dịrị unu dị ka eriri
akwa nke a na-eji ekesi akwa ike, ezi omume bụrụkwa ihe dị mkpa dị ka ihe agha
unu ji ekpuchi obi unu. 15 Werenụ njikere nke ikwusa oziọma nke udo yikwasị dị ka
akpụkpọ n’ụkwụ unu. 16 Mgbe niile, unu echefula ijide okwukwe unu dị ka ọta nke
unu ga-eji kụchapụ àkụ niile na-enwu ọkụ nke ajọ onye ahụ ga-agba n’ebe unu nọ.
17 Nabatanụ nzọpụta dị ka okpu igwe, werekwanụ okwu Chineke dị ka mma agha
nke Mmụọ Nsọ na-enye unu.
18 Ma kpeenụ ekpere n’ime Mmụọ n’oge niile na ụdị ekpere na arịrịọ niile. Nọọnụ
na njikere mgbe niile ma nọgidekwanụ na-ekpere ndị nsọ niile ekpere oge niile. 19 Na-
echetakwanụ m n’ekpere, ka e nye m ike nke mkwuwa okwu, m ga-eji na-ekwupụta
ihe omimi nke oziọma na-atụghị egwu ọbụla, 20 nke m ji maka ya bụrụ onye nnọchite
anya nọ na mkpọrọ. Kperenụ m ekpere ka m kwupụta ya n’atụghị egwu ọbụla dị ka
m kwesiri ikwu.

*Okwu mmechi*

21 Ugbu a, iji mee ka unu mara otu m dị na ihe m na-eme, Taịkikọs, nwanna m
hụrụ n’anya na nwaodibo kwesiri ntụkwasị obi n’ime Onyenwe anyị ga-akọrọ unu
ihe niile. 22 Ana m ezitere ya unu n’ihi nke a, ka o mee ka unu mata ọnọdụ anyị
nakwa ka ọ gbaa unu ume.

23 Ka udo na ịhụnanya, tinyere okwukwe nke sitere na Chineke Nna na Onyenwe
anyị Jisọs Kraịst dịịrị unu ụmụnna.

24 Ka amara dịnyere ndị niile ji ịhụnanya na-adịghị anwụ anwụ hụ Onyenwe anyị
Jisọs Kraịst n’anya.

# Ndị Filipai

1 Pọl na Timoti, ndị bụ ohu Kraịst Jisọs,

Na-edegara unu ndị ụkọchukwu, ndị okenye* na ndị nsọ niile nọ n'ụlọ nzukọ Kraịst
Jisọs dị n'obodo Filipai.

2 Ka amara na udo nke sitere na Chineke Nna anyị, na Onyenwe anyị Jisọs Kraịst
dịrị unu.

*Inye ekele na ekpere*

3 Ana m ekele Chineke m ekele mgbe ọbụla m chetara unu. 4 N'ime arịrịọ niile m
na-arịọ ya mgbe niile n'ekpere m n'ihi unu, obi m na-ejupụta n'ọṅụ. 5 N'ihi inyeaka
niile unu na-enye, ime ka izisa oziọma na-aga n'ihu ọ bụladị ruo ugbu a. 6 Amaara m
n'ezie, na onye ahụ malitere ọrụ ọma n'ime unu, ga-aga n'ihu ịrụzu ya ruo ụbọchị
Kraịst Jisọs.
7 Ọ bụ ihe ziri ezi n'ebe m nọ iche ụdị echiche dị otu a banyere unu niile, n'ihi
na unu dị m n'obi. Ma m nọ n'agbụ maọbụ na m na-echekwa oziọma, na mgbe m
na-eme ka o guzosie ike, unu niile esorola m keta oke n'amara ahụ. 8 Chineke bụ
onye akaebe m, otu agụụ unu niile si agụsi m ike site n'ịhụnanya nke Kraịst Jisọs.
9 Nke a bụkwa ekpere m, ka ịhụnanya unu na-ahụrịta onwe unu na-ababiga ụba
oke. Ka unu nwee ike ito eto, ruo n'inwe mmazu na nghọta ihe niile. 10 Ka unu nwee
ike nwapụta ihe nke kachasị mma. Mgbe ahụ, unu ga-adị ọcha n'enweghị ịta ụta
ọbụla maka ụbọchị nke Kraịst. 11 Ebe e mejupụtara unu na mkpụrụ nke ezi omume
nke sitere na Jisọs Kraịst iji bulie Chineke elu ma nyekwa ya otuto.

*Ịdị ndụ bụ Kraịst*

12 Ugbu a ụmụnna m, nke a bụ ihe m chọrọ ime ka unu ghọta, na nsogbu niile
dakwasịrị m emeela ka ọrụ ikwusa oziọma na-aga n'ihu. 13 N'ihi na ọ pụtala ihe nye
ndị nche nke ụlọeze ahụ na onye ọbụla ọzọ, na ọ bụ naanị n'ihi na m bụ onye na-eso
Kraịst ka e ji tụọ m mkpọrọ. 14 Site na mkpọrọ a a tụrụ m, e meela ka ọtụtụ ụmụnna
anyị bụrụ ndị nwere ezi ntụkwasị obi n'ime Onyenwe anyị, nwekwa oke nkwuwa
okwu, izisa oziọma ahụ na-atụghị egwu ọbụla.
15 Ọ bụ eziokwu na ụfọdụ ji ekworo na anya ụfụ na-ekwusa Kraịst, ma ụfọdụ kwa
na-ezisa ya site n'ọchịchọ obi ziri ezi. 16 Ndị ahụ ji ọchịchọ obi ziri ezi na-eme nke a
n'ịhụnanya ebe ha matara na e tinyere m ebe a n'ihi izisa oziọma. 17 Ndị mbụ ahụ
na-ekwusa Kraịst site n'ọchịchọ obi nke onwe ha, ọ bụghị site n'ezi obi, ebe ha na-
eche na ha ga-akpalị nsogbu nye m n'ime mkpọrọ. 18 Gịnịkwa ka ogbochiri? Otu ọ dị,
maọbụ n'ụzọ aghụghọ maọbụ n'eziokwu, ihe dị mkpa bụ n'ụzọ ọbụla a na-ekwusa
oziọma Kraịst, n'ihi nke a ka m na-aṅụrị ọṅụ.
E, m ga-aṅụrịkwa ọṅụ mgbe niile. 19 N'ihi na-amaara m na site n'ekpere unu, ya
na ịgbaume nke Mmụọ Jisọs Kraịst ihe ndị a niile dakwasịrị m ga-emesi ghọọrọ m
nzọpụta. 20 N'ihi na olileanya m na ntụkwasị obi m bụ na ihere agaghị eme m n'ụzọ
ọbụla, kama, aga m enwe ezi agbamume nke ga-eme ka e bulie Kraịst elu n'ahụ m,
ma ugbu a ma mgbe niile, maọbụ na ndụ, ma ọ bụkwanụ n'ọnwụ. 21 N'ihi na n'ebe
m nọ, ịdị ndụ bụ Kraịst, ịnwụ ọnwụ bụkwa uru. 22 Ma ọ bụrụ na ịdị ndụ n'anụ ahụ,

* **1:1** 1:1 Ndị okenye ndị a na-ekwu n'ebe bụ ndị ahọpụtara ka ha na-eje ozi n'okpuru ụkọchukwu maọbụ onye nlekọta nzukọ.

nke a buuru m ịrụpụta ọrụ bara uru, enweghị m ike ikwu nke m ga-ahọrọ. 23 Ụzọ
ihe abụọ a na-eche m ihu: Ma ọchịchọ obi m bụ ịlakwuru Kraịst, n'ihi na ọ bụ nke
kachasị mma. 24 Ma ọ pụtara ihe na ọ dị mkpa nye unu ma ọ bụrụ na m adịrị ndụ
n'anụ ahụ. 25 Ebe nke a doro m anya, amara m na mụ na unu niile ga-aga n'ihu ịnọ
maka ọganihu na ọṅụ nke unu n'ime okwukwe. 26 Ka mgbe m ga-abịakwute unu
ọzọ, unu ga-enwebiga ọṅụ oke n'ime Kraịst Jisọs n'ihi m.

*Ibi ndụ n'ụzọ kwesiri oziọma*

27 Ma n'ọnọdụ ọbụla, na-ebinụ ndụ kwesiri oziọma nke Kraịst, ma abịara m leta
unu maọbụ na abịaghị m, ka a mata na unu guzosiri ike n'otu mmụọ, werekwa
otu obi na-agba mgba n'okwukwe nke ikwusa oziọma, 28 na-atụghị ụjọ ihe ndị na-
emegide unu ga-eme. Iguzosi ike unu ga-agbara ha ezi ama banyere ịla n'iyi nke
ga-abịakwasị ha. Ma n'ebe unu nọ, ọ ga-abụrụ unu nzọpụta pụtara ihe nke sikwa
n'ebe Chineke nọ bịa. 29 N'ihi na ohere ahụ e nyere unu, abụghị naanị ikwere na
Kraịst, kama ọ bụkwa ịhụ ahụhụ n'ihi ya. 30 Unu nọ na-agabiga ụdị ibu agha ahụ
unu hụrụ na m gabigara, nke unu na-anụkwa na m ka nọ n'ime ya ugbu a.

# 2

*Iṅomi ịdị umeala nke Kraịst*

1 Ya mere, ọ bụrụ na e nwere nkasiobi ọbụla dịrị anyị n'ihi njikọta e jikọtara anyị
na Kraịst, ọ bụrụkwa na e nwere inyeaka ọbụla site n'ịhụnanya ya, ọ bụrụkwa na ọ
dị nnwekọ ọbụla anyị na Mmụọ na-enwekọ, ọ bụrụ na unu nwere obi nro na ọmịiko,
2 meenụ ka ọṅụ m zuo oke, site n'inwe nkwekọta n'ihe ọbụla, site n'ịhụrịta onwe
unu n'anya, sitekwa n'inwekọ otu mmụọ, na otu uche. 3 Emela ihe ọbụla n'ihi naanị
ọdịmma nke gị, maọbụ bie ndụ n'ụzọ ịdọtara onwe gị otuto efu. Kama bụrụ onye
wedara onwe ya ala, onye na-ahụ ndị ọzọ dị ka ndị ka ya mma. 4 Echela echiche
banyere naanị ihe metụtara gị, kama, na-eleba anya n'ihe banyere ndị ọzọ.

5 Na mmekọrịta unu na ibe unu, nweenụ ụdị uche ahụ nke dị n'ime Jisọs Kraịst:

6 Onye ọ bụ ezie na o nwere ụdịdị Chineke site na mmalite
ma ọ gụghị ụdịdị ya dị ka Chineke dị ka ihe ọ ga-ejidesi aka ike.
7 Kama, ọ gụrụ onwe ya dị ka ihe efu,
site na ịnara ụdịdị nke onye bụ ohu,
onye nke a mụrụ dị ka mmadụ.
8 Ebe ahụrụ ya ka ọ dịka mmadụ n'oyiyi,
o wedakwara onwe ya ala,
site n'irube isi ruo ọnwụ,
bụ ọnwụ nke obe.

9 Ọ bụ n'ihi nke a ka Chineke ji bulie ya elu n'ebe kachasị elu,
nyekwa ya aha kachasị aha niile elu.
10 Ka ọ ga-abụ mgbe ọbụla a kpọrọ aha Jisọs ka ikpere niile ọbụla gbuo n'ala,
ihe niile dị n'eluigwe, ndị niile bi n'ụwa, na ndị bi n'okpuru ụwa.
11 Ka ire niile ọbụla kwupụta na Jisọs Kraịst bụ Onyenwe anyị,
maka inye Chineke bụ Nna, otuto.

*Wezuganụ ntamu n'ịrụ ọrụ unu*

12 Ya mere, ezi ndị enyi m, dị ka unu na-erube isi mgbe niile, ọ bụghị naanị mgbe m
nọ, ma karịsịa ugbu a m na-anọghị unu nso, gaanụ n'ihu ịrụpụta nzọpụta unu site
n'ịtụ egwu na ịma jijiji. 13 N'ihi na ọ bụ Chineke n'onwe ya na-arụ ọrụ n'ime unu,
inyere unu aka ịchọ ime ihe ọ chọrọ ka unu mee, na inyere unu aka ime ihe ahụ ọ
chọrọ.

[14] N’ihe ọbụla unu na-eme, wezuganụ ntamu na ịrụ ụka n’etiti unu. [15] Bienụ ndụ
unu dị ka ụmụ Chineke, ndị a na-apụghị ịta ụta, ndị dị ọcha na ndị a na-apụghị ibo
ebubo n’ime ụwa ọjọọ a, n’etiti ọgbọ gbagọrọ agbagọ,* na n’etiti ndị nwere obi n’azụ.
Mgbe ahụ, unu ga-enwupụta n’etiti ha dị ka kpakpando n’ime ụwa! [16] Na-echekwanụ
n’ihu ha okwu ahụ na-enye ndụ. Ka ọ bụrụ na mgbe Kraịst bịara ọzọ, aga m aṅụrị
ọṅụ, n’ihi na ọrụ m rụrụ n’etiti unu abụghị ihe efu. [17] N’ezie, ọ bụrụ na-awụpụ m dị
ka aja ihe ọṅụṅụ n’elu aja n’ife ofufe nke sitere na Chineke n’ihi okwukwe unu. E, a
si na e gbuo m n’ihi unu, aga m aṅụrị ọṅụ na-esorokwa unu niile nwe obi ụtọ [18] otu
aka ahụ, unu onwe unu kwesiri inwe obi ụtọ ma sorokwa m ṅụrịa ọṅụ.

### *Timoti na Epafroditọs*

[19] Enwere m olileanya n’ime Onyenwe anyị Jisọs na m ga-ezitere unu Timoti n’oge
na-adịghị anya site ugbu a, ka m site n’ozi ọ ga-anata banyere unu nwee obi ụtọ.
[20] Enweghị m onye ọzọ dị ka ya, onye ga-eche ezi echiche maka ọdịmma unu. [21] N’ihi
na ndị ọzọ na-echegbu onwe ha maka ọdịmma nke ha, ma ọ bụghị maka ọdịmma
Jisọs Kraịst. [22] Ma unu niile maara otu Timoti si dị oke mkpa. Ọ dị nnọọ dị ka nwa
m, site n’inyeaka ọ na-enyere m n’ọrụ izisa oziọma. [23] Enwere m olileanya n’ezie
izitere unu ya. M ga-emekwa nke a ma ọ bụrụ na m chọpụta ihe ọnọdụ m n’ebe a
ga-abụ. [24] N’ezie, enwere m olileanya na site n’inyeaka Onyenwe anyị, mụ onwe m
ga-abịakwutekwa unu na mgbe na-adịghị anya.
[25] Otu ọ dị, echere m na ọ dị mkpa ugbu a izighachiri unu Epafroditọs, nwanna
m na onye mụ na ya na-arụkọ ọrụ, onye mụ na ya na-ebukọ agha, onyeozi nke unu
zitere ka ọ bịa nyere m aka n’ọnọdụ mkpa m. [26] Ugbu a, ana m eziteghachiri unu
ya, n’ihi na ọ na-agụsị ya agụụ ike ịhụ unu anya. O wutekwara ya nke ukwuu, na e
mere ka unu mara na ọ dara ọrịa n’oge gara aga. [27] N’ezie, ọ fọdụrụ nnọọ ntakịrị ka
o site n’ọrịa ahụ daa n’ụra ọnwụ. Ma Chineke meere ya ebere. Ọ bụghị naanị ya,
kama o mekwaara m ebere, n’ihi na o kweghị ka a tụkwasịrị m ihe mwute n’elu ihe
mwute. [28] N’ihi nke a, ọ na-anụ m ọkụ n’obi izite ya n’ebe unu nọ. N’ihi na amaara
m na ọbịbịa ọ ga-abịakwute unu ga-eme ka unu ṅụrịa ọṅụ. Ọ ga-emekwa ka ọnọdụ
nchegbu m dị mfe. [29] Ya mere, arịọ m unu, werenụ ọṅụ nabata ya nke ọma n’ime
Onyenwe anyị, na-asọpụkwaranụ ndị dị ka ya. [30] N’ihi na ọ fọdụrụ nwantịị ka o
nwụọ, n’ihi ọrụ nke Kraịst, tinye ndụ ya n’ihe egwu iji mezuo ọrụ unu n’ebe m nọ.

# 3

### *Atụkwasịla obi n’anụ ahụ*

[1] Na nchịkọta okwu ndị a niile, ụmụnna m, na-aṅụrịnụ ọṅụ n’ime Onyenwe anyị.
Ike adịghị agwụ m ịgwa unu ihe ndị a. Ọ bakwaara unu uru ịnụ ụdị okwu a mgbe
niile. [2] Kpachapụrụnụ onwe unu anya n’ebe ndị mmadụ ọjọọ ahụ yiri nkịta nọ. Ndị
ahụ na-eyiwasị ahụ ha. [3] N’ihi na ọ bụ anyị bụ ndị ezi obibi ugwu ahụ, ọ bụghị ha,
n’ihi na anyị bụ ndị na-efe Chineke site na Mmụọ ya. Anyị na-aṅụrị ọṅụ n’ime Kraịst
Jisọs. Anyị adịghị atụkwasị obi n’ihe e mere n’anụ ahụ. [4] Mụ onwe m nwere ike
nwee ntụkwasị obi n’ihe ndị a.
N’ihi na e nwee onye chere na ọ pụrụ ịtụkwasị obi ya n’anụ ahụ, mụ onwe m
nwere ụdị ntụkwasị obi ahụ karịa onye ahụ: [5] e biri m ugwu n’abalị nke asatọ site
na mgbe a mụrụ m, abụ m onye Izrel, sitere n’agbụrụ Benjamin; abụ m onye Hibru a
mụrụ n’etiti ndị Hibru; dị ka o si metụta iwu abụ m onye Farisii; [6] igosi ịnụ ọkụ n’obi
m, akpagburu m chọọchị, n’ụzọ ezi omume n’okpuru iwu, abụ m onye zuruoke.
[7] Ma ihe ndị a niile m gụrụ dịka ihe bara uru n’oge gara aga, bụụrụ m ugbu a, ihe
na-abaghị uru n’ihi Kraịst. [8] E, karịa nke a, akpọọla m ihe ndị a niile ihe efu, n’ihi

* **2:15** 2:15 Dit 32:5

na a pụghị iji ha tụnyere ịdị oke ọnụahịa nke ịmata Kraịst Jisọs, Onyenwe m. N’ihi
ya, etufuola m ihe ndị a niile, gụọ ha dị ka ihe na-abaghị uru, ka m nwee ike rite
Kraịst n’uru. [9] Ka e nwee ike hụ m n’ime ya. Enweghị m ezi omume nke aka m, nke
dabere n’iwu, kama ọ bụ nke sitere n’okwukwe na Kraịst, ezi omume si na Chineke
nke dabeere n’okwukwe. [10] Naanị ihe m chọrọ bụ ịmara Kraịst na ike dị na mbilite
n’ọnwụ ya, na nnwekọ nke isoro ya keta oke n’ahụhụ ya, nakwa ka m yie ya n’ọnwụ.
[11] Ka m si otu a, ruo n’ogo nke inweta mbilite site n’ọnwụ.

*Eleghị anya n’azụ*

[12] Anaghị m ekwu na m etozuola oke, maọbụ nwezuo ihe niile. Ma a na m agbalịsi
ike ka m jide ihe ahụ nke Kraịst Jisọs jidere m n’ihi ya. [13] Ụmụnna m, n’ezie, abụbeghị
m ihe ahụ m kwesiri ịbụ. Ma ihe m ji ike m niile na-eme bụ ichefu ihe niile ndị gara
aga, na ilekwasị anya n’ihe ahụ m na-agbaso bụ nke dị m n’ihu. [14] Ana m agbasi ọsọ
ike iji gbaruo n’isi, maka irite ihe ahụ a na-agbata n’ọsọ, bụ ọkpụkpọ ịbanye na ndụ
eluigwe ahụ nke Chineke kpọrọ m site na Jisọs Kraịst.

*Ịṅomi ụzọ Pọl*

[15] Ka anyị niile, bụ ndị tozuru oke n’ime mmụọ nwee uche dị otu a. Ọ bụrụkwa
na ụfọdụ n’ime unu nwere uche ọzọ dị iche, Chineke ga-ekpughere unu nke a. [16] Ka
anyị jidesienụ aka ike naanị n’ihe ahụ anyị nweterela.
[17] Ụmụnna m, na-agbasonu ụdị ndụ m na-ebi, chọpụtakwanụ ndị ọzọ na-adị ndụ
dị ka anyị si adị, mee ha ihe ilere anya unu. [18] N’ihi na agwala m unu nke a ọtụtụ
mgbe, na-achọkwa ịgwa unu ya ọzọ ugbu a. Lee, anya mmiri dị m n’anya ugbu a
m na-ekwu ya sị na e nwere ọtụtụ ndị na-ebi ndụ ha dị ka ha bụ ndị iro obe Kraịst
n’ezie. [19] Ọgwụgwụ ndị dị otu a ga-abụ ịla n’iyi. Afọ ha bụ chi ha, ndị otuto ha
dịkwa n’ihere ha. Ha na-atụkwasị uche naanị n’ihe nke ụwa. [20] Ma ebe obibi anyị dị
n’eluigwe, ebe anyị na-atụsi anya ike na Onye nzọpụta bụ Onyenwe anyị Jisọs Kraịst
ga-esi bịa. [21] Onye ga-agbanwe ahụ anyị dị ala ka ọ dị ka nke ya dị ebube, site n’ike
nke mere ka o debe ihe niile n’okpuru ya.

# 4

*Arịrịọ mmechi maka ịdị n’otu nakwa ịnọgidesi ike*

[1] Ya mere, ụmụnna m, ndị m hụrụ n’anya, na ndị ihe ha na-agụsị m agụụ ike, unu
ndị na-enye m ọṅụ, na ndị bụ okpueze m n’ihi ọrụ m na-arụ, bikonu, guzosienụ ike
n’ime Onyenwe anyị.
[2] Arịrịọ m na-arịọ Yodia na Sintiki bụ, ha biko, nwe otu uche n’ime Onyenwe anyị.
[3] E, ana m arịọkwa gị, ezi onye mụ na ya na-arụkọ ọrụ, biko, nyere ụmụ nwanyị ndị
a aka n’ihi na ha abụọ bụ ndị so m rụọ ọrụ ikwusa oziọma nye ndị ọzọ. Ha sokwa
Klement rụọkwa ọrụ, bụ ndị ahụ e dere aha ha n’akwụkwọ nke ndụ ahụ.

*Ndụmọdụ ikpeazụ*

[4] Na-aṅụrịnụ ọṅụ mgbe niile n’ime Onyenwe anyị. Ka m kwuokwa ya ọzọ, ṅụrịanụ
ọṅụ! [5] Meenụ ka mmadụ niile jiri anya ha hụ na unu bụ ndị obiọma n’ihe niile unu
na-eme. Chetanụ na ọbịbịa Onyenwe anyị dị nso. [6] Unu echegbula onwe unu banyere
ihe ọbụla. Kama n’ihe niile, sitenụ n’ekpere na arịrịọ, ya na ekele, chee ihe niile na-
akpa unu n’ihu Chineke. [7] Udo Chineke, nke dị ukwuu karịa ihe ọbụla mmadụ nwere
ike ịghọta, ga-eche echiche uche unu na obi unu nche n’ime Kraịst Jisọs.
[8] N’ikpeazụ, ụmụnna m, na-echenụ echiche mgbe niile banyere ihe bụ eziokwu, na
ihe dị mma, na ihe ziri ezi. Na-echekwanụ echiche banyere ihe dị ọcha, ihe ọbụla
mabigara mma oke, ihe ọbụla dị mma na ndụ onye ọbụla nke e kwesiri ịṅomi, na
nke e kwesiri inwe otuto n’ihi ya. [9] Na-emenụ ihe ọbụla unu si n’aka m mụta, maọbụ

ihe unu nụrụ, ma ọ bụkwanụ ihe unu hụrụ m ka m na-eme. Chineke onye na-enye
udo ga-anọnyekwara unu.

*Ekele n'ihi Onyinye ha*

10 Ana m aṅụrị ọṅụ dị ukwuu n'ime Onyenwe anyị n'ihi na unu mechara malite
iche echiche ọzọ banyere m. Unu bu m n'obi n'eziokwu ma unu enwetaghị ohere
izipụta ya. 11 Ọ bụghị na m nọ n'ọnọdụ oke mkpa na ụkọ. N'ihi na amụtala m otu m
ga-esi jiri ọṅụ nọrọ n'ọnọdụ ọbụla. 12 Amụtala m otu m ga-esi nọrọ mgbe ihe siri ike
na mgbe ihe bara ụba. Amụtakwala m otu m ga-esi nwee afọ ojuju n'ọnọdụ ọbụla,
maọbụ mgbe m na-anọ agụụ, maọbụ mgbe m rijuru afọ, maọbụ mgbe m nwere ihe
dị ukwuu maọbụ n'oge ụkọ. 13 N'ihi na apụrụ m ime ihe niile site n'inyeaka onye
na-enye m ike.
14 Ma unu mere nnọọ nke ọma inyere m aka n'ọnọdụ nsogbu nke m nọ n'ime
ya. 15 Unu onwe unu ndị Filipai maara na mbido nke oziọma a, mgbe m hapụrụ
Masidonia, na o nweghị nzukọ ọzọ nyere m aka n'inye maọbụ ịnabata onyinye, ma e
wezuga unu. 16 Ọ bụladị mgbe m nọ na Tesalonaịka, unu ziteere m onyinye ihe karịrị
otu ugbo, inyere m aka na mkpa m. 17 Ọ bụghịkwa na m chọrọ onyinye unu, kama
ana m achọ ka mkpụrụ unu ga-amịta baa ụba, bara unu uru. 18 Ugbu a, enweela m
ihe niile na-akpa m mkpa, n'ezie, enweela m karịa ihe na-akpa m. Onyinye unu nyere
m, nke Epafroditọs wetara, egboola mkpa m niile. Onyinye ndị a dị ka aja na-esi isi
ụtọ a chụụrụ Chineke, nke ọ na-anabatakwa nke ọma. 19 Ọ bụ Chineke m ga-egboro
unu mkpa unu niile, site n'ụlọakụ ebube ya nke eluigwe, n'ihi Kraịst Jisọs.
20 Ka otuto dịrị Chineke anyị, bụ Nna anyị, ruo mgbe niile ebighị ebi. Amen.

*Ekele ikpeazụ*

21 Keleere m ndị nsọ niile n'ime Kraịst Jisọs.
Ụmụnna ndị mụ na ha nọ na-ekelekwa unu.
22 Ndị nsọ niile nọ n'ebe a na-ekele unu, karịsịa ndị nọ n'ụlọ Siza.

23 Ka amara Onyenwe anyị Jisọs Kraịst dịnyere mmụọ unu. Amen.

# Ndị Kọlọsị

1 Pọl, onye e mere onyeozi Kraịst Jisọs, site n’ọchịchọ Chineke, ya na nwanna anyị
Timoti,

2 Na-edegara ndị Kraịst nọ na Kọlọsị, bụ ụmụnna ndị dị nsọ na ndị kwesiri
ntụkwasị obi.

Ka amara na udo nke sitere na Chineke Nna anyị dịrị unu.

### *Ekele na ekpere*

3 Mgbe ọbụla anyị na-ekpere unu ekpere anyị na-ekele Chineke onye bụ Nna
Onyenwe anyị Jisọs Kraịst ekele. 4 N’ihi na anyị anụla ihe banyere okwukwe unu
n’ime Kraịst Jisọs, na otu unu si hụ ndị nsọ niile n’anya. 5 Okwukwe na ịhụnanya
nke na-esite n’olileanya nke a kwadobere unu n’eluigwe, nke unu nụrụla n’okwu
nke eziokwu ahụ, bụ oziọma, 6 nke bịaruterela unu. N’ezie, dị ka o si dị n’ụwa niile,
ọ na-amị mkpụrụ na-etokwa, dị ka o si eme n’etiti unu, site n’ụbọchị unu nụrụ ma
ghọtakwa amara nke Chineke n’eziokwu. 7 Dị ka unu siri mụta n’aka Epafras, onye
anyị hụrụ n’anya na onye anyị na ya na-ejekọ ozi. Ọ bụ onye kwesiri ntụkwasị obi
n’ijere Kraịst ozi n’aha unu. 8 O meela ka anyị mara ụdị ịhụnanya unu nwere n’ime
Mmụọ.
9 N’ihi nke a, site n’ụbọchị anyị nụrụ ihe banyere ya, anyị esepụghị aka ikpere
unu ekpere. Anyị na-arịọ ka unu jupụta n’amamihe nke uche ya, n’ime nghọta ma
amamihe nke mmụọ niile. 10 Ka unu si otu a bie ndụ dị ka Onyenwe anyị chọrọ. Ka
unu bụrụkwa ndị na-eme ihe ọma mgbe niile, ndị na-eme ihe na-atọ ya ụtọ n’ụzọ
ọbụla, na ndị na-eto eto n’ihe banyere ịma Chineke mgbe niile. 11 Ebe a na-eme ka
unu dị ike n’ime ike niile, dị ka ike nke ebube ya si dị. Ka unu nwee ndidi na ogologo
ntachiobi, 12 na-enyenụ Nna ekele site n’ọṅụ, onye mere ka anyị kwesi iketa oke n’ihe
nketa nke ndị nsọ n’ime alaeze nke ìhè. 13 N’ihi na ọ napụtara anyị site n’ike nke
ọchịchịrị, bịa kpọfee anyị n’alaeze nke Ọkpara ya ọ hụrụ n’anya. 14 Onye anyị si
n’ime ya nwee nzọpụta, nke bụ mgbaghara mmehie niile.

### *Onye Kraịst bụ, na ihe o mere*

15 Ọ bụ nnọọ onyinyo Chineke onye anyị na-apụghị ịhụ anya, bụrụkwa onye mbụ a
mụrụ n’ihe niile e kere eke. 16 N’ihi na n’ime ya ka e ji kee ihe niile dị n’ụwa na nke
dị n’eluigwe, na ndị anyị pụrụ ịhụ anya na ndị anyị na-apụghị ịhụ anya, ma ocheeze
niile, ike niile, ịchị isi niile na ike ọchịchị niile. E kere ihe niile site n’aka ya nakwa
n’ihi ya. 17 Ya onwe ya nọ tupu ekee ihe niile, ọ bụkwa n’ime ya ka ejikọtara ihe niile
n’otu. 18 Ọ bụ ya bụ isi nke anụ ahụ ahụ bụ chọọchị. Ọ bụ ya bụ mmalite, onye mbụ
a mụrụ n’etiti ndị niile ga-esi n’ọnwụ bilie. Nke a mere ka ọ bụrụ onyeisi mbụ n’ime
ihe niile. 19 N’ihi na ọ bụ n’ime ya ka ọ masịrị ozuzu oke ya ibi. 20 Ọ bụ site na ya ka
o ji mee ka ihe niile bịaghachikwute ya. E mere ka udo dịrị n’etiti ya na ihe niile,
maọbụ ihe dị n’ụwa, maọbụ nke dị na n’eluigwe site na ọbara ọ wụsiri n’elu obe.
21 Unu onwe unu bụ ndị e mere ndị mba ọzọ site n’ebe Chineke nọ, na ndị iro n’uche
unu n’ihi ajọ omume niile unu. 22 Ma ugbu a, o kpezierela unu site na-anụ ahụ Kraịst,
sitekwa n’ọnwụ ya, iji chee unu n’ihu ya dịka ndị dị nsọ, na ndị na-enweghị ịta ụta,
na ihe ebubo ọbụla megide ha. 23 Ma ọ bụrụ na unu anọgide n’okwukwe unu, bụrụ
ndị gbara mgbọrọgwụ, ndị guzosiri ike, ndị na-ewezugaghị onwe ha site n’olileanya

ahụ dịrị unu n'oziọma ahụ. Nke a bụ oziọma ahụ unu nụrụ, nke ekwusakwara nye ihe niile e kere eke n'okpuru eluigwe, nke e mere mụ onwe m bụ Pọl, onyeozi ya.

### *Ọrụ Pọl na-arụ n'ime chọọchị*

24 Ugbu a, ana m aṅụrị ọṅụ n'ihi ahụhụ ndị a nke m na-ahụ n'ihi unu, ana m
emezu ihe fọdụrụ n'ahụhụ ahụ Kraịst tara n'ihi anụ ahụ ya bụ chọọchị. 25 Emeela
ka m bụrụ onyeozi chọọchị ya site n'ikike Chineke nyere m, ikwusara unu okwu
Chineke n'ozuzu oke ya. 26 Nke bụ ihe omimi ahụ, nke e zoro ezo site n'oge ahụ
nakwa ọgbọ niile ndị a gara aga, ma ugbu a e mekwara ka ọ pụta ìhè nye ndị nsọ
Chineke. 27 Ọ bụ ha ka Chineke họpụtara ime ka amata akụ nke ebube nke ihe omimi
a n'etiti ndị mba ọzọ, nke bụ Kraịst n'ime unu, onye bụ olileanya nke ebube ahụ.
28 Ọ bụ ya ka anyị na-ekwusa, na-adụ onye ọbụla ọdụ, na-akụzikwara onye ọbụla
ihe site n'amamihe niile. N'ihi na anyị chọrọ iche mmadụ niile ọbụla n'ihu ya dị ka
ndị zuruoke n'ime Kraịst. 29 N'ihi nke a ka m na-adọgbu onwe m n'ọrụ, dị ka ike ya
dị ukwuu nke na-arụ ọrụ si dị m n'ime.

## 2

1 Ọ bụ ọchịchọ m ka unu ghọta otu m si na-agbasi mgba ike nke ukwuu n'ihi unu,
na n'ihi ndị nọ n'obodo Laodisia, na ndị niile na-enwebeghị ike ịhụ m ihu na ihu.
2 Ebumnobi m bụ ka a gbaa ha ume, jikọọkwa ha n'otu n'ịhụnanya, ka ha nweta ụba
niile nke nghọta zuruoke na amamihe nke ihe omimi Chineke ahụ bụ Kraịst n'onwe
ya. 3 Ọ bụkwa n'ime ya ka ụlọakụ ihe zoro ezo niile nke amamihe na ihe ọmụma dị.
4 Ana m ekwu nke a ka onye ọbụla ghara iji ire ụtọ duhie unu ụzọ. 5 Ọ bụ ezie na
anọghị m n'etiti unu n'anụ ahụ, ma anọ m n'etiti unu n'ime mmụọ. Ana m aṅụrị
ọṅụ ịhụ mkpebi unu na iguzosi ike n'okwukwe unu n'ime Kraịst.

### *Ndụ juru afọ dị n'ime Kraịst*

6 Ya mere, dị ka unu si nabata Kraịst Jisọs Onyenwe anyị, na-ebinụ ndụ unu n'ime
ya. 7 Bụrụnụ ndị mgbọrọgwụ ha mibanyere n'ime ya, ndị a na-ewuli elu n'ime ya,
ndị dị ike n'ime okwukwe, dị ka e si kuziere unu, ndị jupụtara na-inye ekele.
8 Lezienụ anya ka onye ọbụla ghara iji ozizi na amamihe efu niile nke na-achị ụwa,
na aghụghọ duhie unu n'okwukwe. Okwu amamihe ahụ nke ihe ozizi ya na ọsịsa
ya niile dabeere na mmụọ nke ụwa na ntụpụta mmadụ kama ịdabere n'ihe Kraịst
kwuru.
9 N'ihi na n'ime Kraịst ka izuoke niile nke Chineke bi n'ụdịdị mmadụ. 10 Ya mere,
unu nwere ihe niile n'ime ya, onye bụ isi ndị niile na-achị achị, onye bụkwa isi n'ebe
ike na ịchị isi niile dị. 11 N'ime ya, e biri unu ugwu nke ejighị aka bie, site n'iwepụ
ọdịdị anụ ahụ n'obibi ugwu nke Kraịst biri. 12 Mgbe e likọtara unu na ya na baptizim,
e sitere n'ọnwụ kpọlite unu na ya site n'okwukwe ahụ dị n'ike Chineke onye sitere
n'ọnwụ kpọlite ya.
13 Mgbe unu bụ ndị nwụrụ anwụ n'ime mmehie unu, na n'ime ebighị ugwu nke anụ
ahụ mmehie unu, Chineke mere ka unu soro Kraịst dịrị ndụ ọzọ. Ọ gbaghara anyị
mmehie anyị niile, 14 kagbuo iwu niile e dere ede, ya na usoro ya niile nke guzoro
imegide anyị. O wezugara ha, kpọgide ha n'obe. 15 Mgbe ọ napụrụ ike niile, na ịchị
isi niile, ngwa agha ha niile, ọ gbara ha ọtọ n'ihu ọha, igosi mmeri o meriri ha n'obe.

### *Inwere onwe pụọ n'iwu mmadụ*

16 N'ihi ya, unu ekwela ka onye ọbụla kpee unu ikpe banyere ihe ọbụla unu na-eri,
maọbụ ihe unu na-aṅụ, maọbụ ihe banyere ido ụbọchị nsọ, maọbụ ime mmemme
ọnwa ọhụrụ maọbụ mmemme ụbọchị izuike. 17 Ihe ndị a niile bụ onyinyo nke ihe
ga-abịa n'ọdịnihu ma nke pụtara ihe dị n'ime Kraịst. 18 Unu ekwela ka onye ọbụla
nke ọ na-amasị ife ndị mmụọ ozi maọbụ ibi ndụ umeala nke aghụghọ dị n'ime ya,

onye na-ekwu ọtụtụ okwu banyere ọhụ ọ hụrụ, si otu a na-afụli onwe ya elu n’efu
n’ihi echiche nke onwe ya, maa unu ikpe ma napụ unu ihe nrite unu. [19] Onye na-
adịghị ejidesikwa onye bụ isi aka ike, onye a na-esite n’aka ya na-eme ka ahụ niile,
nke nkwonkwo ha na akwara ha niile na-ejikọta n’otu, too eto dị ka Chineke si chọọ
ka ha too.

### *Iso Kraịst nwụọ na iso ya dị ndụ*

[20] Ebe ọ bụ na unu esorola Kraịst nwụọ n’ebe ozizi na amamihe niile nke na-achị
ụwa nọ, gịnị mekwaranụ unu ji ka na-ebi ndụ dị ka a ga-asị na unu bụ nke ụwa, gịnị
mere unu ji na-edo onwe unu n’okpuru iwu ya dị iche? [21] “Ejidela nke a aka, edetụla
nke a ire, ebitụkwala nke a aka”? [22] Iwu ndị a niile na-ekwu banyere ihe ndị ga-ala
n’iyi mgbe a na-etinye ha n’ọrụ, ha sitere n’iwu na ozizi nke mmadụ. [23] N’ezie, iwu
ndị a yiri ihe e ji amamihe guzobe, n’ihi ụzọ o si akwali mmụọ mmadụ n’ife ofufe dị
ka ọ chọrọ, na iweda onwe n’ala, na ịta anụ ahụ ahụhụ. Ma ha abaghị uru o bụla iji
ha gbochie agụụ ọjọọ nke anụ ahụ.

# 3

### *Ibi ndụ ọhụ site n’ike Kraịst*

[1] Ya mere, ebe e mere ka unu bụrụ ndị so Kraịst bilie n’ọnwụ, tụkwasịnụ obi
unu n’ihe dị n’eluigwe ebe Kraịst nọ n’akụkụ aka nri Chineke. [2] Ka echiche gbasara
eluigwe ju unu obi. Unu atụfukwala oge ichegbu onwe unu banyere ihe dị n’ụwa.
[3] N’ihi na unu anwụọla. E zokwara ndụ unu n’ime Chineke site na Kraịst. [4] Mgbe
Kraịst onye bụ ndụ unu ga-apụta ihe, unu ga-esokwa ya pụta ìhè n’ebube ya.
[5] Meenụ ka ọchịchọ ọjọọ niile nke ụwa dị n’ime unu bụrụ ihe nwụrụ anwụ. Unu
etinyekwala aka n’ịkwa iko, adịghị ọcha, ọchịchọ ọjọọ, agụụ ime ihe ọjọọ, na anya
ukwu (nke bụkwa ikpere arụsị). [6] Ọ bụkwa n’ihi ihe ndị a ka ọnụma Chineke na-
abịakwasị ndị ahụ na-enupu isi. [7] Ihe ndị a bụ ihe unu na-eme n’oge gara aga mgbe
unu na-adị ndụ n’ime ha. [8] Ma ugbu a bụ oge iwezuga ihe ndị a niile na ndụ unu:
iwe, na ọnụma, na obi ọjọọ, na nkwulu niile, ya na okwu ihere niile na-esi unu n’ọnụ
na-apụta. [9] Unu agwala ibe unu okwu ụgha, n’ihi na unu eyipụla mmadụ ochie ahụ
na-eme ụdị omume a. [10] Ugbu a, unu eyikwasịla ndụ ọhụrụ ahụ, nke e ji amamihe
na-eme ka ọ dị ọhụrụ n’oyiyi nke onye kere ya. [11] Nkewa ọbụla adịghị n’ime ndụ
a. Ọ dịghị mkpa maọbụ onye Juu maọbụ onye mba ọzọ, maọbụ onye e biri ugwu,
maọbụ onye a na-ebighị ugwu. Ọ dịkwaghị mkpa maọbụ onye na-asụ asụsụ ọzọ, ma
ọ bu onye ime ọhịa, maọbụ onye Sitia, maọbụ ohu, ma ọ bụkwanụ onye nwe onwe
ya. Ihe dị mkpa bụ na Kraịst bụ ihe niile, nọrọkwa n’ime ihe niile.

### *Ịpụta ihe nke ndụ ọhụrụ ahụ*

[12] Ya mere, dị ka ndị Chineke họpụtara, ndị dị nsọ na ndị ọ hụrụ n’anya,
yikwasịnụ onwe unu obi ọmịiko, na obi ebere, na obi dị umeala, na ịdị nwayọọ,
na ntachiobi. [13] Na-anagidenụ ibe unu, gbagharakwa mmejọ ọbụla ibe unu na-emejọ
unu. Gbagharanụ dị ka Onyenwe anyị sị gbaghara unu. [14] Nke kachasị nke, kwerenụ
ka ịhụnanya na-achị achị na ndụ unu, n’ihi na ọ bụ nke a na-ejikọta ihe niile n’otu.
[15] Ka udo Kraịst na-achị achị n’ime obi unu, ebe unu bụ akụkụ nke otu anụ ahụ ahụ,
a kpọrọ unu ka unu nọdụ n’udo. Mgbe niile, nọọnụ na-ekele. [16] Ka okwu nke Kraịst
biri n’ime unu n’uju ya. Werenụ amamihe niile na-akụzirịta ibe unu ihe, ma na-
adụrịtakwa ibe unu ọdụ. Werekwanụ abụ ọma na abụ nke ime mmụọ bụọrọ Chineke
abụ ekele n’obi unu. [17] Ka ihe niile unu na-eme, n’okwu maọbụ n’omume bụrụ nke
e mere na nke e kwuru site n’aha Onyenwe anyị Jisọs, na-enyekwanụ Chineke Nna
ekele site na ya.

### *Okwu dịrị ezinaụlọ ndị nke Kraịst*

18 Ndị bụ nwunye, doonụ onwe unu n'okpuru di unu, dị ka ọ kwesiri ime n'ime Onyenwe anyị.

19 Unu ndị bụ di, hụnụ nwunye unu n'anya, unu ejikwala obi ilu na-emeso ha omume.

20 Ụmụntakịrị, ruberenụ nne na nna unu isi n'ihe niile, n'ihi na nke a na-amasị Onyenwe anyị.

21 Unu bụ nna, unu emela ihe ga-akpasu ụmụ unu iwe, ka ha ghara ịda mba n'obi.

22 Ndị bụ ohu, na-eruberenụ ndị bụ nna unu ukwu n'anụ ahụ isi n'ihe niile, na-
emenụ nke a, ọ bụghị naanị mgbe ha nọ na-ele unu anya, maọbụ mgbe unu chọrọ
ịnata ihuọma, kama werenụ obi unu niile, na ịtụ egwu Onyenwe anyị rubere ha isi.
23 Ihe ọbụla unu na-eme, werenụ obi unu niile mee ya. Ka ọ dị ka ọ bụ Onyenwe anyị
ka unu na-arụrụ ya, ọ bụghị dị ka unu na-arụrụ ya mmadụ. 24 Chetanụ nke ọma na
unu nwere ụgwọ ọrụ nke Onyenwe anyị kwadobere inye unu, ndị ya. N'ihi na ọ bụ
Onyenwe anyị Kraịst ka unu na-ejere ozi. 25 Onye ọbụla na-eme ihe ọjọọ ga-anata
ụgwọ ọrụ n'ihi ihe ọjọọ niile o mere. N'ihi na ile mmadụ anya n'ihu adịghị ya.

# 4

1 Unu ndị nwe odibo, jirinụ ịkwụba aka ọtọ na ikpe ziri ezi na-emeso ndị ohu unu omume, ebe unu maara na unu onwe unu nwere onyenwe unu n'eluigwe.

### *Ndụmọdụ ndị fọdụrụ*

2 Na-anọgidenụ n'ekpere, nọọkwanụ na nche na-enyekwanụ ekele. 3 Na-
echetakwanụ anyị n'ekpere, ka Chineke meghere anyị ụzọ ikwusa oziọma, ka anyị
nwee ike kwusaa ihe omimi Kraịst, nke m ji maka ya nọrọ n'ụlọ mkpọrọ, 4 ka m
nwee ike kwuo ya ka o doo anya otu m kwesiri. 5 Unu were amamihe na-achịkọta
onwe unu n'ebe ndị nọ n'ezi nọ, jizienụ ohere ọbụla unu nwere nke ọma. 6 Ka okwu
unu na-ekwu bụrụ nke jupụtara n'amara na-atọ ụtọ, ka unu mụtakwa otu e si enye
mmadụ ọsịsa dị mma.

### *Ekele ikpeazụ*

7 Taịkikọs, ezi nwanna anyị, onye kwesikwara ntụkwasị obi, onye anyị na ya na-
ejekọ ozi n'ọrụ Onyenwe anyị, ga-akọrọ unu ihe niile banyere m. 8 Ana m ezitere
unu ya, ka unu mara ihe banyere ọnọdụ anyị nakwa ka ọ gbaa obi unu ume. 9 Ezi
nwanna anyị nwoke bụ Onisimọs, onye kwesiri ntụkwasị obi, onye bụkwa otu n'ime
unu, so ya na-abịa. Ha ga-agwa unu ihe niile na-eme n'ebe a.

10 Arịstakọs, onye mụ na ya nọ n'ụlọ mkpọrọ, na-ekele unu. Mak nwanne Banabas na-ekelekwa unu. (Onye unu natara ihe ntụziaka banyere ya, ọ bụrụ na ọ bịarute n'ebe unu nọ, unu nabata ya nke ọma.)

11 Jisọs, onye a na-akpọkwa Jọstus, na-ekelekwa unu. Ọ bụ naanị ndị a bụ ndị Juu* mụ na ha na-arụkọ ọrụ alaeze Chineke n'ebe a. Ha na-eme nnọọ nke ọma, na-enye m obi ụtọ.

12 Epafras, odibo Kraịst Jisọs na onye bụkwa otu onye n'ime ọgbakọ unu na-ekele
unu. Oge niile ka ọ na-ekpe ekpere n'ihi unu, na-arịọ ka unu guzosie ike bụrụ ndị
tozuru etozu na ndị kwesiri ike n'ọchịchọ niile nke Chineke. 13 Ana m agbara ya
akaebe na ọ rụsịrị ọrụ ike n'ihi unu na n'ihi ndị Laodisia na ndị Hierapolis.

14 Ezi enyi anyị Luk, onye dibịa ukwu anyị na Dimas na-ekele unu.

15 Keleerenụ m ụmụnna anyị bi na Laodisia na nwanna anyị Nimfas na chọọchị na-ezukọ n'ụlọ ya.

---

* **4:11** 4:11 Ha bụ ndị Juu site n'obibi ugwu.

16 Mgbe unu gụchara akwụkwọ a, hụnụ na a gụkwara ya na nzukọ dị na Laodisia.
Gụọkwanụ n'otu mgbe ahụ akwụkwọ nke si na Laodisia bịa.

17 Gwanụ Akipos ka ọ kpachapụ anya rụchaa ọrụ Onyenwe anyị nyere ya ịrụ.

18 Eji m aka m dee ekele nke a mụ onwe m bụ Pọl. Unu echefula na m nọ n'agbụ.
Ka amara dịnyere unu.

# 1 Ndị Tesalonaịka

1 Akwụkwọ ozi a si n’aka Pọl, Saịlas* na Timoti.

Na-abịara nzukọ dị na Tesalonaịka, ndị e jikọtara ha na Chineke Nna, na Onyenwe
anyị Jisọs Kraịst.

Ka amara na udo dịrị unu.

*Inye ekele n’ihi okwukwe ndị Tesalonaịka*

2 Anyị na-ekele Chineke ekele mgbe niile, na-echetakwa unu n’ekpere anyị. 3 Mgbe
niile ka anyị na-echeta n’ekpere nye Chineke bụ Nna, ihe gbasara ọrụ unu nke sitere
n’okwukwe, ya na ịrụsị ọrụ ike unu nke sitere n’ịhụnanya, na iguzosi ike unu nke
sitere n’olileanya unu nwere n’Onyenwe anyị Jisọs Kraịst.
4 Ụmụnna anyị, anyị maara na Chineke hụrụ unu n’anya nke ukwuu, họpụta unu.
5 N’ihi na ọbụghị naanị nke okwu ọnụ ka oziọma anyị rutere unu, kama ọ bụkwa
n’ike, na n’ime Mmụọ Nsọ nakwa mmetụta nke dị omimi. Unu maara ụdị ndụ† anyị
biri n’etiti unu n’ihi unu. 6 Nke a mere unu ji bụrụ ndị na-eṅomi anyị na Onyenwe
anyị. N’ihi na unu jiri ọṅụ nke Mmụọ Nsọ na-enye nabata oziọma ahụ, n’agbanyeghị
ọtụtụ ahụhụ dị ukwuu nke o wetaara unu. 7 N’ụzọ dị otu a, unu ghọrọ ihe ilere anya
nye ndị niile kwere ekwe nọ na Masidonia na Akaịa.‡ 8 Ugbu a, e sitela na ndụ unu
mee ka oziọma Onyenwe anyị gbasaa gabiga Masidonia na Akaịa. N’ihi na a na-
anụ ihe banyere okwukwe unu nwere na Chineke n’ebe niile. Ya mere, ọ dịkwaghị
mkpa ka anyị kwuo ihe banyere ya. 9 N’ihi na ha onwe ha na-ebu ụzọ gwa anyị
ihe banyere nnabata unu nabatara anyị, na otu unu si site n’ikpere arụsị tụgharịa,
bido ife Chineke dị ndụ, onye bụkwa ezi Chineke, 10 na i chere Ọkpara ya onye ga-esi
n’eluigwe, onye o sitere na ndị nwụrụ anwụ kulite, Jisọs, onye na-anapụta anyị n’iwe
nke na-abịa.

## 2

*Ọrụ Pọl rụrụ na Tesalonaịka*

1 Unu onwe unu maara, ụmụnna, na ọbịbịa anyị bịakwutere unu abụghị ihe lara
n’iyi. 2 Anyị tara ahụhụ na mbụ e mekwara anyị ihe ihere na Filipai dịka unu maara,
ma site n’inyeaka Chineke anyị nwere obi ike ịgwa unu oziọma ya, ọ bụladị mgbe
a na-eguzogide anyị n’ebe ọ dị ukwuu. 3 N’ihi na arịrịọ anyị na-arịọ unu esiteghị
na njehie pụta maọbụ n’ọchịchọ nke na-adịghị ọcha ma ọ bụkwanụ n’aghụghọ.
4 N’aka nke ọzọ, anyị na-ekwu okwu dị ka ndị ozi Chineke nwapụtara, ndị o tinyere
ọrụ oziọma a n’aka na ntụkwasị obi idebe. Anyị adịghị agbalị ime ihe ga-atọ mmadụ
ụtọ, kama anyị chọrọ ime ihe ga-atọ Chineke ụtọ, bụ onye na-enyocha echiche obi
anyị. 5 Ọ dịghị mgbe ọbụla, dị ka unu maara, anyị kwuru okwu nrafu maọbụ were
ụzọ aghụghọ zoo anya ukwu anyị nwere. Chineke bụ onye akaebe anyị. 6 Ọ dịghị
mgbe anyị chọrọ ka ndị mmadụ ọbụla maọbụ unu, maọbụ ndị ọzọ, too anyị. 7 Ọ bụ
ezie, dị ka ndị ozi Kraịst, anyị gara abụ ibu arụ nye unu.
Kama, anyị biri n’etiti unu site n’ịdị nwayọọ dị ka ndị bụ nne na-azụ ụmụntakịrị
ha, na-elekọta ha. 8 N’ihi na anyị hụrụ unu n’anya nke ukwuu ruo na ọ bụghị naanị

---

* 1:1 1:1 N’asụsụ Griik Silvenọs bụ otu ọzọ e si akpọ Saịlas. † 1:5 1:5 Ụdị mmadụ anyị bụ n’etiti unu ‡ 1:7
1:7 Akaịa bụkwa Griis.

na anyị kwusaara unu oziọma Chineke kama anyị nyekwara unu ndụ anyị. N'ihi
na unu dị anyị n'obi nke ukwu. 9 N'ezie ụmụnna m, amaara m na unu ga-echeta
otu anyị si rụọ ọrụ hụjuokwa anya n'etiti unu. Anyị na-arụ ọrụ ehihie na abalị ịhụ
na anyị rụtara ego ga-ezuru anyị, n'ihi na anyị achọghị ịbụ oke ibu nye onye ọbụla
mgbe anyị na-ezisara unu oziọma Chineke. 10 Unu onwe unu bụkwa ndị akaebe dị
ka Chineke si bụrụ onye akaebe, na mmekọrịta anyị na unu bụ ndị kwere ekwe, bụ
nwekọrịta dị ọcha na nke ezi omume, na nke ịta ụta ọbụla na-adịghị na ya. 11 N'ihi
na anyị mesoro onye ọbụla n'ime unu dị ka nna si emeso ụmụ nke ya, 12 na-agba
unu ume, na-akasị unu obi, na-akwagidekwa unu na unu kwesiri ibi ndụ kwesiri
ụmụ Chineke, onye kpọbatara unu n'ime alaeze ya na ebube ya.
13 N'ihi nke a, anyị ga-aga n'ihu na-ekele Chineke na-esepụghị aka, n'ihi na mgbe
unu nabatara okwu Chineke, bụ nke unu nụrụ n'ọnụ anyị, unu anabataghị ya dị ka
okwu mmadụ, kama otu ọ dịkwa n'eziokwu, ya bụ okwu Chineke, nke na-arụsikwa*
ọrụ ike n'ime unu bụ ndị kweere ya. 14 Unu onwe unu, ụmụnna m, ghọọnụ ndị na-
eṅomi nzukọ nke Chineke n'ime Kraịst Jisọs, ndị nọ na Judịa. N'ihi na unu onwe unu
hụkwara otu ụdị ahụhụ ahụ n'aka ndị ala unu, dị ka ha onwe ha hụrụ n'aka ndị Juu.
15 Ndị gburu ndị amụma, gbukwaa Onyenwe anyị Jisọs. Ugbu a ha na-akpagbukwa
anyị na-achụpụ anyị. Ha na-emegide Chineke na mmadụ niile 16 site n'igbochi anyị
izisara ndị mba ọzọ oziọma ka a ghara ịzọpụta ha. Ha na-esite n'ụzọ dị otu a na-eme
ka iko mmehie ha na-eju. Ma ikpe Chineke adakwasịlarị ha.

*Nzube Pọl*

17 Otu ọ dị, ụmụnna anyị, mgbe anyị si n'etiti unu pụọ, nọọ nwa oge nta, ọnọdụ
a mere anyị ndị na-enweghị nne na nna (maọbụ na-anụ ahụ ọ bụghị n'ime mmụọ),
n'ihi otu unu si gụọ anyị agụụ, anyị gbalịrị ihu unu. 18 Anyị gbalịsịrị ike ịbịakwute
unu, karịsịa, mụ onwe m bụ Pọl gbalịrị, gbalịa ịbịa, ma ekwensu gbochiri anyị.
19 N'ihi na olee ihe bụ olileanya anyị, maọbụ ọṅụ anyị, maọbụ okpueze anyị, nke
anyị ga-eji nyaa isi mgbe a ga-eme ka anyị niile guzo n'ihu Onyenwe anyị Jisọs Kraịst,
mgbe ọ ga-abịa? Ọ bụ na ọ bụghị unu onwe unu? 20 N'ezie, unu onwe unu bụ ọṅụ
na otuto anyị.

# 3

1 Ya mere, mgbe anyị na-apụghị ịnagide ya gaa n'ihu, anyị kpebiri ịnọ naanị anyị
n'Atens. 2 Anyị zipụrụ Timoti, onye bụ nwanna anyị, onye anyị na ya so na-arụrụ
Chineke ọrụ site n'ịkwusa oziọma Kraịst, ka ọ bịakwute unu, kasịe unu obi, meekwa
ka unu guzosie ike n'okwukwe unu. 3 Ka unu hapụ ịda mba n'ihi mkpagbu ndị a a
na-akpagbu unu. Ma ana m eche na unu onwe unu maara na nke a ga-abụ ihe nketa
anyị. 4 N'ihi na mgbe anyị na unu nọ, anyị buru ụzọ gbaara unu ama na ihe ndị a
aghaghị ịbịakwasị unu. Ugbu a, ihe niile emezuola dị ka unu matakwara. 5 N'ihi nke
a, mgbe m hụrụ na m apụghị ịnagide ihe ndị ahụ, eziri m ozi, ka a chọpụta maka
okwukwe unu. N'ihi na ụjọ m bụ ma eleghị anya o nweela ụzọ onye ọnwụnwa ọjọọ
ahụ si nwaa unu ọnwụnwa n'oge a, mee ka ndọgbu niile anyị dọgburu onwe anyị
n'ọrụ n'etiti unu bụrụ ihe lara n'iyi.

*Ozi agbamume Timoti ji lọta*

6 Ma ugbu a, Timoti esitela n'ebe unu nọ lọghachikwute anyị. O wetara oziọma
banyere okwukwe unu na ịhụnanya unu. O mekwara ka anyị mata na unu na-enwe
ezi ncheta banyere anyị mgbe niile, na ọ na-agụsị unu agụụ ike ịhụ anyị anya, dị
ka o si agụkwa anyị ịhụ unu anya. 7 N'ihi nke a, ụmụnna anyị, anyị abụrụla ndị
a gbara ume nke ukwuu, ọ bụladị n'ime mkpagbu niile nke anyị nọ n'ime ya, n'ihi

* **2:13** 2:13 Okwu a na-arụsị ọrụ ike site n'ịgbanwe ndụ ndị mmadụ.

iguzosi ike nke unu guzoro n'okwukwe unu. [8] Ugbu a anyị ga-adị ndụ, ma ọ bụrụ
na unu eguzosie ike n'ime Onyenwe anyị. [9] Olee ụdị ekele anyị pụrụ ikele Chineke
n'ihi akụkọ nyere anyị ọṅụ n'ihu Chineke anyị n'ihi unu. [10] Ehihie na abalị niile, anyị
na-arịọ ka anyị hụ unu ihu na ihu, ka anyị nwee ike tinyezuo ihe fọdụrụ n'okwukwe
unu.

[11] Ugbu a, ka Chineke Nna anyị na Onyenwe anyị Jisọs Kraịst megheere anyị ụzọ
ịbịakwute unu. [12] Ka Onyenwe anyị meekwa ka unu baa ụba, ka unu babiga ụba
oke n'ịhụnanya unu nwere nye ibe unu, na ndị ọzọkwa, dị ka ịhụnanya anyị si dị
ukwuu n'ebe unu nọ. [13] Ka ọ mee ka obi unu guzosie ike n'ịdị nsọ, na-enweghị ịta
ụta ọbụla, n'ihu Chineke na Nna anyị, n'ọbịbịa nke Onyenwe anyị Jisọs ya na ndị
nsọ ya niile.

# 4

### *Ibi ndụ na-atọ Chineke ụtọ*

[1] N'ikpeazụ, ụmụnna anyị, anyị na-arịọ ma na-akwagidekwa unu n'ime Onyenwe
anyị Jisọs, dị ka unu mụtara site n'aka anyị otu unu kwesiri isi bie ndụ, nakwa ime
ihe ga-atọ Chineke ụtọ. Unu na-eme nke a karịa. [2] N'ihi na unu maara ụdị ndụmọdụ
ahụ sị n'aka Onyenwe anyị Jisọs nke anyị nyere unu.

[3] N'ihi na nke a bụ ọchịchọ Chineke, bụ ị dị nsọ unu. Ka unu wezuga onwe unu
site na ịkwa iko, [4] ka onye ọbụla n'ime unu mata ido ahụ nke onwe ya n'ugwu na
n'ịdị nsọ. [5] Ọ bụghị n'ụzọ imejupụta ọchịchọ ọjọọ nke anụ ahụ dị ka ndị mba ọzọ na-
amaghị Chineke. [6] Ka onye ọbụla ghara imegbu maọbụ ịghọgbu nwanna ya n'okwu
a. N'ihi na Onyenwe anyị ga-ata onye na-eme ihe dị otu a ahụhụ, dị ka anyị gwara
unu na mbụ, na-adọsikwa unu aka na ntị ike. [7] N'ihi na ọkpụkpọ Chineke kpọrọ anyị
abụghị ka anyị na-ebi ndụ adịghị ọcha kama ọ chọrọ ka anyị dịrị nsọ. [8] Ya mere,
onye ọbụla nke jụrụ ịnara ntụziaka a, ọ bụghị mmadụ ka ọ jụrụ, kama ọ bụ Chineke
onye na-enye unu Mmụọ Nsọ ya.

[9] Ugbu a, ihe gbasara ịhụnanya nke kwesiri ịdị n'etiti ụmụnna, o kwesighị ka anyị
gwa unu ihe ọzọ banyere ya. N'ihi na unu onwe unu bụ ndị Chineke kuziri ka unu
nwee ịhụnanya n'ebe ibe unu nọ. [10] Ma n'ezie, unu na-ahụ ụmụnna anyị niile bi na
Masidonia n'anya. Ma anyị na-arịọsịkwa unu arịrịọ ike sị unu na-ahụkwa ha n'anya
karịa ka unu hụrụ ha ugbu a. [11] Nweenụ agụụ ibi ndụ nwayọọ, na-arụkwanụ ọrụ
dịịrị unu. Jirikwanụ aka unu na-arụ ọrụ dịka anyị gwara unu, [12] nke a ga-eme ka ndụ
unu na-ebi kwa ụbọchị wetara unu nsọpụrụ n'ebe ndị na-ekweghị ekwe nọ, meekwa
ka unu ghara i dabere n'onye ọbụla.

### *Ọbịbịa nke Onyenwe anyị*

[13] Ụmụnna m, anyị chọrọ ka unu mata ihe banyere ndị otu anyị ndị dara n'ụra
ọnwụ, ya ewutela unu dịka o si ewute ndị ọzọ ndị na-enweghị olileanya. [14] N'ihi na
ebe ọ bụ na anyị kweere na Jisọs nwụrụ ma sitekwa n'ọnwụ bilie, n'otu aka ahụ, anyị
kwenyekwara na site na Jisọs, Chineke ga-akpọlite ndị niile nwụrụ anwụ. [15] N'ihi
na okwu nke Onyenwe anyị nke anyị na-akụziri unu bụ nke a, na anyị ndị dị ndụ
ruo ọbịbịa Onyenwe anyị agaghị ebu ndị dara n'ụra ọnwụ ụzọ. [16] N'ihi na Onyenwe
anyị n'onwe ya ga-esi n'eluigwe rịdata, ọ ga-ewere olu ike kpọọ oku, werekwa olu
nke onyeisi ndị mmụọ ozi na ụda opi ike nke Chineke. Mgbe ahụ ndị niile nwụrụ
n'ime Kraịst ga-ebu ụzọ bilie. [17] Mgbe ahụ, anyị onwe anyị, ndị dị ndụ, ndị fọdụrụ
n'ụwa, ka a ga-eweli anyị na ha elu n'ime igwe ojii, ịga izute Onyenwe anyị na mbara
eluigwe, ebe anyị na Onyenwe anyị ga-anọ ruo mgbe ebighị ebi. [18] Ya mere, werenụ
okwu ndị a, na-agba onwe unu ume mgbe niile.

# 5

*Ịnọ na nche*

1 Ugbu a, ụmụnna, banyere oge na mgbe ihe ndị a ga-emezu. Echeghị m na ọ dị
mkpa i degara unu akwụkwọ. 2 Dị ka unu maara nke ọma na ụbọchị Onyenwe anyị
ga-abịa dị ka onye ohi si abịa n'abalị. 3 Mgbe ha ga na-asị udo, na nchekwa dị, mgbe
ahụ, na mberede, mbibi ga-abịakwasị ha dị ka ihe mgbu sị adakwasị nwanyị ime
na-eme, nke ga-eme ka onye ọbụla ghara inwe ike ịgbapụ.
4 Ma unu onwe unu, ụmụnna, anọghị n'ọchịchịrị, nke ụbọchị ahụ ga-abịakwasị
unu na mberede dịka onye ohi. 5 Unu niile bụ ụmụ nke ìhè na ụmụ nke ehihie, anyị
abụkwaghị nke ọchịchịrị maọbụ nke abalị. 6 N'ihi nke a, ka anyị ghara ịdị na-arahụ
ụra dị ka ndị ọzọ, kama ka anyị mụrụ anya ka anya dokwaa anyị. 7 N'ihi na abalị
bụ mgbe ndị na-arahụ ụra ji arahụ ụra. Ọ bụkwa n'abalị ka ndị mmanya na-egbu
na-aṅụbiga mmanya oke. 8 Ma ebe anyị niile bụ ndị nke ihe, ka anyị bụrụ ndị anya
doro, ndị yi okwukwe na ịhụnanya dịka ihe ikpuchi obi, yikwasịkwa olileanya nke
nzọpụta dị ka okpu igwe. 9 N'ihi na Chineke akwadebeghị ikpe ọmụma na egwu nye
anyị. Kama ka anyị nweta nzọpụta site n'okwukwe anyị nwere n'Onyenwe anyị Jisọs
Kraịst. 10 Ọ nwụrụ n'ihi anyị ka ọ bụrụ, ma anyị dị ndụ ma anyị nwụrụ anwụ, anyị
ga-esoro ya dịrị ndụ. 11 Ya mere, na-akasịrịtanụ onwe unu obi. Na-emekwanụ ihe
ọbụla ga-ewuli ibe unu elu dị ka unu si eme.

*Ndụmọdụ ikpeazụ*

12 Anyị na-arịọsị unu ike, ụmụnna, ka unu na-asọpụrụ ndị niile na-adọgbu onwe
ha n'ọrụ n'ihi unu, ndị ahụ na-elekọta unu n'ime ọrụ Onyenwe anyị, na ndị ahụ
na-adụ unu ọdụ. 13 Ka unu na-akwanyere ha ugwu site n'ịhụnanya n'ihi ụdị ọrụ ha
na-arụ. Ka unu na mmadụ ibe unu birikwa n'udo. 14 Ma ugbu a, anyị na-arịọ unu,
ụmụnna, na-adụnụ ndị na-anọ nkịtị ọdụ, na-agbanụ ndị dara mba ume, nyerenụ
ndị na-adịghị ike aka, nwekwanụ ndidi n'ebe ha niile nọ. 15 Ka onye ọbụla ghara
inyeghachi mmadụ ibe ya ihe ọjọọ n'ọnọdụ ihe ọjọọ. Kama gbalịsienụ ike ime ezi
ihe n'ebe ibe unu nọ na n'ebe mmadụ niile nọ.
16 Na-aṅụrịnụ ọṅụ oge niile. 17 Na-ekpenụ ekpere oge niile na-esepụghị aka. 18 Na-
enyenụ ekele mgbe niile banyere ihe niile, n'ihi na nke a bụ ọchịchọ Chineke banyere
unu ndị bụ nke Kraịst Jisọs.
19 Unu emenyụla ọkụ Mmụọ Nsọ. 20 Ọzọ unu eledala okwu ndị amụma anya.
21 Kama na-anwalenụ ihe niile ma na-ejidesikwanụ ihe niile dị mma aka ike.
22 Wezuganụ onwe unu n'ihe ọjọọ niile.
23 Ka Chineke ya onwe ya, bụ Chineke nke udo, doo unu nsọ n'ụzọ niile. Ka e
debezuo mmụọ unu na mkpụrụobi unu na anụ ahụ unu nsọ, na-enweghị ntụpọ ọbụla
ruo ụbọchị ọbịbịa Onyenwe anyị Jisọs Kraịst. 24 Onye ahụ kpọrọ unu ga-emezu ihe
ndị a, n'ihi na ọ bụ onye kwesiri ntụkwasị obi.

25 Biko ụmụnna, na-ekperenụ anyị ekpere.

26 Werenụ isurita ọnụ dị nsọ na-ekele ụmụnna anyị dum.

27 Iwu m na-enye unu site n'aha Onyenwe anyị bụ ka unu gụpụta akwụkwọ a n'ihu
ụmụnna niile.

28 Ka amara Onyenwe anyị Jisọs Kraịst dịnyere unu niile.

# 2 Ndị Tesalonaịka

1 Pọl, na Saịlas, na Timoti dere akwụkwọ a,

Na-edegara nzukọ dị n’obodo Tesalonaịka n’ime Chineke Nna anyị, na n’ime
Onyenwe anyị Jisọs Kraịst.

2 Ka amara na udo nke sitere na Chineke Nna anyị, na Onyenwe anyị Jisọs Kraịst
dịrị unu.

*Inye ekele na ekpere*

3 Ụmụnna, anyị aghaghị ikele Chineke ekele mgbe niile banyere unu. O kwesiri ka
anyị mee otu a, n’ihi okwukwe unu na-abawanye. Ịhụnanya onye ọbụla n’ime unu
nwere n’ebe ibe ya nọ na-abawanyekwa. 4 N’ihi nke a, anyị na-eji unu na-anya isi
n’etiti nzukọ Chineke niile. Anyị na-akọrọ ha otu unu si jiri ntachiobi nọgidesie ike
n’ime nsogbu niile dakwasịrị unu, na otu unu si nwee okwukwe dị ukwuu, ọ bụladị
n’etiti oke mkpagbu a na-akpagbu unu.
5 Ihe ndị a niile na-egosi na ikpe Chineke bụ nke ziri ezi, nke e ji eme unu ndị kwesiri
alaeze Chineke, nke unu na-ata ahụhụ n’ihi ya. 6 Chineke bụ onye ezi omume n’ezie.
Ọ ga-eji mkpagbu kwụghachi ndị na-akpagbu unu. 7 Ọ ga-enyekwa unu bụ ndị a
na-akpagbu na anyị onwe anyị ezumike. Ọ ga-eme nke a mgbe a ga-eme ka Onyenwe
anyị Jisọs ya na ndị mmụọ ozi si n’eluigwe pụta ìhè. 8 Ọ ga-abịa n’ụdị ire ọkụ taa ndị
ahụ na-amaghị Chineke ahụhụ na ndị jụrụ ịnabata oziọma nke Onyenwe anyị Jisọs
Kraịst. 9 Ndị a ga-ata ahụhụ mbibi ruo ebighị ebi, ebe ha na-agaghị ahụ ihu Onyenwe
anyị na ebube nke ike ya, 10 n’ụbọchị ahụ ọ ga-abịa ịnara ịja mma na otuto, n’ime ndị
nsọ ya, ya na ka ọ bụrụ ihe ịtụnanya n’ebe ndị kweerenụ nọ, n’ihi na unu kwenyere
ama nke oziọma ahụ anyị gbaara unu.
11 N’ihi nke a, anyị na-anọgide n’ekpere n’ihi unu, na-arịọ ka Chineke gụọ unu dịka
ndị kwesiri ọkpụkpọ ọ kpọrọ unu, na-arịọkwa ka o site n’ike ya mee ka unu mezuo
ebumnobi nke ihe dị mma, na ezi ọrụ niile nke okwukwe. 12 Ka e nye aha Onyenwe
anyị Jisọs otuto n’ime unu, unu onwe unu n’ime ya kwa, dị ka amara nke Chineke
anyị na nke Onyenwe anyị Jisọs Kraịst si dị.

## 2

*Onye mmebi iwu ahụ*

1 Ma ihe banyere ọbịbịa Onyenwe anyị Jisọs Kraịst, na nzukọ anyị na ya ga-ezukọta,
anyị na-adụsị unu ọdụ ike ụmụnna. 2 Ka unu ghara ịma jijiji maọbụ ịtụ egwu n’uche
unu n’ihi amụma, maọbụ okwu maọbụ akwụkwọ ozi e dere dị ka o sitere n’aka anyị,
nke na-asị n’ụbọchị Onyenwe anyị eruola. 3 Unu ekwela ka onye ọbụla duhie unu
n’ụzọ ọbụla, n’ihi na ụbọchị ahụ agaghị abịa tutu ruo mgbe oke inupu isi ga-adị, na
mgbe a ga-ekpughe onye mmebi iwu ahụ nke a kara akara ịla n’iyi. 4 Onye mmebi iwu
ahụ ga-ebuli onwe ya elu megide ihe niile a na-akpọ chi maọbụ nke a na-efe ofufe,
nke ga-eme ka o dozie onwe ya n’ụlọnsọ Chineke, na-ekwupụta na ya bụ Chineke.
5 Unu echetaghị ihe m gwara unu n’oge mụ na unu nọ banyere ya? 6 Ma ugbu a,
unu maara na o nwere onye na-egbochi ya ka ọ hapụ ịpụta ihe. N’ihi na mgbe ọ
ga-apụta bụ mgbe oge ya ruru. 7 Ma ọrụ nzuzo nke mmebi iwu ebidolarị ugbu a,
ma onye ahụ na-egbochi ya ịbabiga ụba oke ga-anọgide na-eme otu a tutu ruo mgbe

oge e wezugara ya. [8] Mgbe ahụ, a ga-eme ka onye mmebi iwu ahụ pụta ìhè, bụ onye
Onyenwe anyị Jisọs ga-eji ume ọ ga-esi n'ọnụ ya kupụta laa n'iyi, ma mee ka ọ ghara
ịdịkwa ọzọ site n'ọbịbịa ya. [9] Ọbịbịa onye mmebi iwu ahụ ga-abụ dị ka ọrụ ekwensu
si dị, site n'ike ịrụ ọrụ ebube aghụghọ na ihe ịrịbama dị iche iche, na ọrụ ịtụnanya
aghụghọ dị iche iche nke ụgha. [10] Ya na ụdị ọrụ ọjọọ dị iche iche nke ọ ga-eji duhie
ndị ahụ na-ala n'iyi. Ha ga-ala n'iyi n'ihi na ha jụrụ ịhụ eziokwu n'anya ma nwee
nzọpụta. [11] N'ihi nke a, Chineke ga-ahapụ ha ka e duhie ha, ka ha jiri obi ha niile
nabata okwu ụgha ndị a. [12] Ihe nke a pụtara bụ na ndị niile na-ekweghị n'eziokwu
ahụ ma nwee mmasị n'ajọ omume ka a ga-ama ikpe.

### *Guzoro chịm*

[13] Anyị kwesiri inye Chineke ekele mgbe niile n'ihi unu ụmụnna ndị Onyenwe anyị
hụrụ n'anya. N'ihi na Chineke esitelarị na mmalite họpụta unu ka unu bụrụ ndị a
zọpụtara site n'ọrụ ido nsọ nke Mmụọ Nsọ na site n'okwukwe unu n'eziokwu ahụ.
[14] N'ihi nke a, ọ kpọrọ unu site n'oziọma anyị ka unu nweta otuto nke Onyenwe anyị
Jisọs Kraịst.
[15] Ya mere, ụmụnna, nọgidenụ n'ozizi ahụ anyị mere ka unu mụta site n'ozizi anyị
ziri unu, maọbụ na akwụkwọ anyị deere unu.
[16] Ka Onyenwe anyị Jisọs Kraịst n'onwe ya, na Chineke Nna anyị, onye hụrụ anyị
n'anya, site n'amara ya nye anyị agbamume dị ebighị ebi na ezi olileanya, [17] gbaa obi
unu ume, ma mee ka unu guzosie ike n'ịrụ ọrụ na ikwukwa ihe niile dị mma.

## 3

### *Arịrịọ ekpere*

[1] N'ikpeazụ, ụmụnna, na-ekperenụ anyị ekpere ka ozi Onyenwe anyị gaa n'ihu na-
agbasa ruo ebe niile ma bụrụ ihe a na-asọpụrụ, dị ka ọ gbasara n'etiti unu. [2] Ka e
nwee ike napụta anyị n'aka ndị ajọ mmadụ, n'ihi na ọ bụghị mmadụ niile nwere
okwukwe. [3] Ma Onyenwe anyị kwesiri ntụkwasị obi, ọ ga-echebe unu ma gbaakwa
unu ume ka unu hapụ ịdaba n'aka ajọ onye ahụ. [4] Anyị nwere nchekwube n'ime
Onyenwe anyị na unu na-eme ma ga-anọgidekwa na-eme ihe niile anyị nyere unu
n'iwu. [5] Ka Onyenwe anyị duzie obi unu ịghọta ịhụnanya Chineke ya na ụdị ntachiobi
Kraịst nwere.

### *Ịdọ aka na ntị banyere ịnọ nkịtị*

[6] Ụmụnna, nke a bụ iwu anyị na-enye unu site n'aha Onyenwe anyị Jisọs Kraịst.
Ka unu zere onye ọbụla kpọrọ onwe ya onye kwere ekwe n'ime unu na-ebi ndụ
umengwụ na onye na-adịghị eso ozizi nke unu natara n'aka anyị. [7] N'ihi na unu
maara nke ọma n'ime onwe unu na unu kwesiri ịgbaso omume anyị. O nweghị
mgbe ọbụla unu hụrụ anyị ka anyị na-agagharị hapụ ọrụ anyị kwesiri ịrụ. [8] O nweghị
onye ọbụla anyị riri nri ya nke anyị na-ebughị ụzọ kwụọ ya ụgwọ. Kama anyị rụsịrị
ọrụ ike, dọgbukwaa onwe anyị n'ọrụ ehihie na abalị, ka anyị ghara ịbụ ibu arọ nye
onye ọbụla. [9] Ọ bụghị na anyị enweghị ikike ịnara unu ihe oriri, kama ọ bụ ka anyị
kuziere unu site n'omume anyị ihe unu ga na-eṅomi. [10] Ọ bụladị mgbe anyị na unu
nọ, anyị nyere unu iwu a sị, "Onye ọbụla na-agaghị ọrụ ya erila nri."
[11] Ma anyị anụla na ụfọdụ n'etiti unu na-anọ nkịtị na-arụghị ọrụ ọbụla, kama
ndị dị otu a na-agagharị, na-etinye anya n'ihe na-agbasaghị ha. Ha anaghị arụ ọrụ
ọbụla. [12] Anyị na-enye ndị a iwu, na-adụsịkwa ha ọdụ ike site n'aha Onyenwe anyị
Jisọs Kraịst, si ha wetuo obi ha ala rụsie ọrụ ha ike. Ka ha riekwa nri ha ji aka ha
rụpụta. [13] Otu ọ dị ụmụnna, unu ekwela ka ike ịrụ ọrụ ọma gwụ unu.
[14] Ma ọ bụrụ na ndị ọbụla adịghị erube isi nye ihe anyị kwuru n'ime akwụkwọ ozi
a, hụbanụ ndị dị otu a ama ma kwụsịkwa iso ha nwekọ ihe ọbụla, ka ihere mekwa ha.

15 N'agbanyeghị nke a, unu agụkwala ha dị ka ndị iro unu, kama nyenụ ha ndụmọdụ
dị ka ụmụnna.

*Ekele ikpeazụ*

16 Ugbu a, ka Onyenwe anyị, onye udo na-esi n'aka ya abịa tụkwasịrị unu udo ya
mgbe niile, n'ime ọnọdụ ọbụla unu nọ n'ime ya. Onyenwe anyị nọnyekwara unu.

17 Mụ onwe m bụ Pọl ji aka m depụta ekele a, nke m na-ekele unu niile. Nke a bụ
ihe e ji arịba akwụkwọ niile m dere ama. Otu a ka m si ede ihe.

18 Ka amara Onyenwe anyị Jisọs Kraịst dịnyere unu niile.

# 1 Timoti

1 Pọl, onyeozi Kraịst Jisọs site n’iwu Chineke Onye nzọpụta anyị, na nke Kraịst
Jisọs, onye bụ olileanya anyị,

2 Na-edegara gị bụ Timoti ezi nwa m n’ime okwukwe akwụkwọ a.

Ka amara, na ebere na udo nke sitere na Chineke bụ Nna, na Kraịst Jisọs Onyenwe
anyị dịrị gị.

### *Ịdọ aka na ntị banyere ndị ozizi ụgha*

3 Dị ka m gbara gị ume, mgbe m na-aga Masidonia, nọgide n’Efesọs ka i nwee ike
nye mmadụ ụfọdụ iwu ka ha ghara ịga n’ihu n’izi ụkpụrụ dị iche. 4 Mee ka ha kwụsị
ịkọ ogologo akụkọ, na inyocha ihe gbasara usoro ọmụmụ dị iche iche nke na-adịghị
agwụ agwụ. N’ihi na ihe ndị a na-eweta ajụjụ na ịrụ ụka na-abaghị uru, kama inyere
ndị mmadụ aka ịnabata ụzọ ahụ Chineke kwadoro site n’okwukwe. 5 Ihe anyị bu
n’obi nye iwu a, bụ ka a kwalite ịhụnanya nke sitere n’obi ọcha na ezi akọnuche,
na okwukwe nke aghụghọ na-adịghị. 6 Ụfọdụ e sikwala n’ihe ndị a dapụ, jehie ụzọ,
site n’oke ịrụ ụka na-abaghị uru. 7 Ha chọrọ ịbụ ndị ozizi iwu ma ha amaghị ihe ha
na-ekwu maọbụ ihe ha na-akwadosi ike.
8 Ma anyị maara na iwu dị mma, ma ọ bụrụ na onye ọbụla ewere ya mee ihe a
chọrọ ka e jiri ya mee. 9 Ma emeghị iwu n’ihi ndị ezi omume. Kama, e mere iwu n’ihi
ndị ahụ na-emebi iwu na ndị na-enupu isi, ndị kpọrọ Chineke asị na ndị mmehie,
ndị rụrụ arụ, ndị na-egbu nna ha na nne ha, na ndị na-egbu mmadụ ibe ha, 10 na
ndị na-akwa iko na ndị ikom na-emerụ onwe ha n’ahụ ndị ikom ibe ha, ndị na-azụ
ahịa ndị ohu, na ndị ụgha niile, na ndị na-agba ama ụgha, tinyere ihe ndị ahụ niile
megidere ezi ozizi ahụ, 11 nke dabara n’oziọma ahụ dị ebube, nke Chineke dị ngọzị,
nke o nyefere m n’aka na ntụkwasị obi ichebe.

### *Amara Onyenwe anyị nye Pọl*

12 Ana m ekele Kraịst Jisọs Onyenwe anyị ekele, onye na-enye m ike, n’ihi na ọ
gụrụ m dị ka onye e kwesiri ịtụkwasị obi mgbe ọ họpụtara m ijere ya ozi. 13 Ọ bụ
ezie na n’oge gara aga, abụ m onye na-ekwujọ Chineke na onye na-akpagbu ndị ya,
bụrụkwa onye na-emegide emegide. Ma Chineke meere m ebere n’ihi na m mere ihe
ndị ahụ n’ọnọdụ amaghị ihe, na enweghị okwukwe. 14 Ma Onyenwe anyị wụkwasịrị
m amara ya, nke babigara ụba oke, ya na okwukwe na ịhụnanya n’ime Kraịst Jisọs.
15 Okwu a kwesiri ntụkwasị obi, kwesikwa ka anabata ya nke ọma: Kraịst Jisọs
bịara n’ụwa ịzọpụta ndị mmehie, nke mụ onwe m bụ onyeisi ha. 16 Ọ bụ n’ihi nke a
ka e ji gosi m ebere, ka Kraịst Jisọs site n’ime m, bụ onye kachasị dị njọ, gosi enweghị
ọgwụgwụ nke ntachiobi ya, ka m bụrụ ihe nlere anya nye ndị ahụ niile ga-ekwere
na ya, ma nata ndụ ebighị ebi. 17 Ugbu a, ka enye Eze ahụ na-adị ruo mgbe niile,
Onye na-adịghị anwụ anwụ, Onye a na-adịghị ahụ anya, Onye naanị ya bụ Chineke,
nsọpụrụ na otuto ruo mgbe niile ebighị ebi. Amen.

### *Imesi iwu e nyere Timoti ike*

18 Ugbu a, Timoti nwa m, ana m enye gị ndụmọdụ a dị ka amụma ahụ e buru
banyere gị n’oge gara aga si dị. Ka ị site n’ịgbaso ya nwe ike ịlụ ezi ọgụ ahụ. 19 Jidesie
okwukwe i nwere ike, ya na ezi akọnuche. N’ihi na ụfọdụ ajụla ezi akọnuche ma si
otu a dapụ n’okwukwe. 20 Haimeniọs na Alegzanda so na ndị a. Ewerela m ha nyefee

Ekwensu n'aka, ka ọ taa ha ahụhụ tutu ruo mgbe ha mụtara na ha ekwesighị ikwu okwu nkwulu megide Chineke.

# 2

*Iwu banyere Ofufe na Ekpere*

1 Na mbụ, ana m arịọ ka e kpee ekpere, kwuchite ọnụ ndị ọzọ n'ekpere, ma nye
ekele n'isi mmadụ niile, 2 kpee ekpere maka ndị eze niile, na ndị niile nọ n'ọnọdụ
ọchịchị, ka anyị nwee ike bie ndụ udo na nke nsogbu na-adịghị, n'ime ịsọpụrụ
Chineke dị ka ọ chọrọ. 3 Nke a bụkwa ihe dị mma na ihe na-atọ Chineke Onye nzọpụta
anyị ezi ụtọ. 4 Onye chọrọ ka a zọpụta mmadụ niile, ka ha niile bịaruo na mmazu nke
eziokwu. 5 N'ihi na ọ bụ naanị otu Chineke dị. Ọ bụkwa naanị otu onye ogbugbo dị
n'etiti Chineke na mmadụ. Kraịst Jisọs, onye ya onwe ya bụ mmadụ. 6 Onye weere
onwe ya ka ọ bụrụ ihe mgbapụta n'ihi mmadụ niile, nke bụ ịgba ama a na-enye
n'oge ya. 7 N'ihi nke a, a họpụtara m ka m bụrụ ọnụ na-ekwuru ọha nakwa onyeozi,
na onye nkuzi nye ndị mba ọzọ banyere ezi okwukwe ahụ. Eziokwu ka m na-ekwu,
anaghị m agha ụgha.

8 N'ihi nke a, achọrọ m ka ndị ikom, n'ebe niile na-achili aka dị nsọ elu n'ekpere,
na-ebughị iwe n'obi, na-arụkwaghị ụka. 9 Achọkwara m ka ndị inyom kwadoo onwe
ha n'ụzọ kwesiri ekwesi, ka ha jiri nsọpụrụ na uche zuruoke chọọ onwe ha mma. Ọ
bụghị isi a kpara akpa, ma ọ bụkwanụ ngwa mma nke ọlaedo maọbụ pieal, maọbụ
uwe dị oke ọnụahịa ha na-eyi. 10 Kama site n'ezi ọrụ ọma ha nke kwesiri ndị inyom
na-ekwupụta na ha na-ekpere Chineke.

11 Nwanyị kwesikwara iji obi dị umeala na obi dị nwayọọ gee ntị mụtakwa ihe
mgbe a na-ezi ihe. 12 Ekwenyeghị m ka nwanyị zie ihe, maọbụ ka ọ bụrụ onyeisi
n'ebe ndị nwoke nọ. Ha kwesiri ịnọ nwayọọ mgbe ọbụla unu zukọrọ. 13 Ọ bụ n'ihi
na e buru ụzọ kee Adam tupu e kee Iiv. 14 Ọ bụkwaghị Adam ka a ghọgburu, kama
ọ bụ nwanyị ka a ghọgburu mee ka ọ bụrụ onye mmebi iwu. 15 Ma a ga-azọpụta ha
site n'ọmụmụ nwa ma ọ bụrụ na ha anọgide na-ebi ndụ okwukwe na ịhụnanya, na
ịdị nsọ, na nke uche zuruoke.

# 3

*Ndị ndu chọọchị*

1 Nke a bụ okwu kwesiri ntụkwasị obi ma bụrụkwa eziokwu, bụ nke na-asị, ọ bụrụ
na onye ọbụla na-achọ ọnọdụ ịbụ ụkọchukwu, ọ na-achọ ezi ọrụ kacha mma. 2 Ya
mere onye ụkọchukwu* kwesiri ịbụ onye a na-adịghị ata ụta, onye lụrụ otu nwunye,
onye obi umeala, onye na-achịkọta onwe ya nke ọma, onye nwere nsọpụrụ, onye
na-anabata ndị ọbịa n'ụlọ ya, nakwa onye nwere ike ikuzi ihe. 3 Ọ gaghị abụ onye
na-aṅụbiga mmanya oke, ọ gaghị abụ onye na-alụkarị ọgụ, kama ọ ga-abụ onye dị
nwayọọ, onye na-ahụghị okwu na ụka n'anya, na onye na-adịghị ahụ ego n'anya. 4 Ọ
ga-abụ onye na-achịzi ezinaụlọ ya nke ọma, bụrụkwa onye na-achịkwa ụmụ ya inwe
nsọpụrụ n'ụzọ ọbụla. 5 (N'ihi na ọ bụrụ na mmadụ enweghị ike chịkọtazie ezinaụlọ
ya, ọ ga-esi aṅaa chịzie chọọchị Chineke?) 6 Ọ gaghị abụ onye chegharịrị ọhụrụ, ma
ọ bụghị ya, ọ ga-afụlị onwe ya elu n'ịnya isi, ma si otu a daba n'ọmụma ikpe dị ka
ekwensu. 7 Ọ ga-abụkwa onye nwere ezi ama n'ebe ndị nọ n'ezi nọ, ka ọ ghara ịdaba
n'ọnọdụ ihere nakwa n'ọnya ekwensu.

*Ndị na-eje ozi*

---

* **3:2** 3:2 Maọbụ, Onye nlekọta

8 Otu ahụ kwa, ndị a họpụtara ijere chọọchị ozi aghaghị ịbụ ndị kwesiri nsọpụrụ,
ndị na-enweghị ire abụọ,† ndị kwesiri ntụkwasị obi. Ha agaghị abụ ndị na-aṅụbiga
mmanya oke na ndị akpịrị ego na-agbaso uru n'ezighị ezi. 9 Ha ga-abụ ndị ji akọnuche
dị ọcha na-ejidesi eziokwu nke okwukwe anyị ike. 10 Tupu a họpụta ha ịrụ ọrụ a, a
ga-ebu ụzọ nwalee ha. Ọ bụrụ na ha enweghị ebubo ọbụla megide ha, mgbe ahụ, a
ga-eme ha ndị na-eje ozi na chọọchị.
11 Otu aka ahụ kwa, ndị nwanyị kwesikwara ịbụ ndị nwere nsọpụrụ n'ụzọ ọbụla,
ndị na-adịghị ebu iro n'obi, ndị na-adịghị agba asịrị, kama ndị nwere obi umeala, na
ndị kwesiri ntụkwasị obi n'ihe niile.
12 Ndị niile a ga-ahọpụta ije ozi na chọọchị aghaghị ịbụ ndị nwere naanị otu
nwunye, ndị na-achịzi ụmụ ha na ezinaụlọ nke aka ha nke ọma. 13 N'ihi na ndị
ahụ rụrụ ọrụ ije ozi ha nke ọma nwere ụgwọ ọrụ. Ụgwọ ọrụ ha bụkwa nsọpụrụ ahụ
ndị ọzọ ga-asọpụrụ ha, na nkwuwa okwu ha nwere banyere okwukwe a n'ime Kraịst
Jisọs.

*Ihe omimi*

14 Enwere m olileanya na m ga-abịa ileta gị na mgbe na-adịghị anya, ma ana m
edere gị ihe ndị a. 15 Asị na m enweghị ike bịa ọsịịsọ, ị ga-amata otu ndị mmadụ
kwesiri isi bie obi n'ezinaụlọ Chineke, nke bụ nzukọ nke Chineke dị ndụ, ogidi na
ntọala nke eziokwu ahụ. 16 Karịchasịa nke a, ọ bụ ihe omimi dị ukwuu, bụ ntọala
ebe ezi ịdị nsọ si walite:
Ọ pụtara ihe n'ụdịdị mmadụ,
Mmụọ Nsọ gosiri na ọ bụ onye ezi omume,
ndị mmụọ ozi hụrụ ya,
e kwusara ihe banyere ya nye mba niile,
ụwa niile kwenyeere na ya,
a nabatakwara ya n'ebube nke eluigwe.

# 4

*Ndụmọdụ e nyere Timoti*

1 Ma Mmụọ Nsọ agwagheela anyị ọnụ sị, na n'oge ikpeazụ ụfọdụ mmadụ n'ime
chọọchị ga-esite n'okwukwe wezuga onwe ha, bụrụ ndị na-agbaso mmụọ nduhie
nakwa ozizi ihe banyere mmụọ ọjọọ. 2 Ozizi dị otu a na-esite n'ihu abụọ nke ndị
ụgha, bụ ndị eji igwe ọkụ da nwụọ akọnuche ha. 3 Ndị dị otu a na-egbochi ịlụ dị na
nwunye na iri ihe oriri ụfọdụ. Ma ọ bụ Chineke kere ihe oriri ndị a ka ndị kwere
ekwe, ndị maara eziokwu ahụ jiri ekpere na ekele nara ha. 4 Ihe niile Chineke kere
dị mma, ọ dịkwaghị ihe ọbụla a ga-ajụ ma ọ bụrụ na e jiri ekele nara ya, 5 n'ihi
na-esitere n'okwu Chineke na ekpere doo ya nsọ.
6 Ọ bụrụ na ị mee ka ụmụnna mara ihe ndị a, ị ga-abụ ezi onyeozi Kraịst Jisọs, onye
a zụlitere nke ọma site n'eziokwu nke okwukwe, na ezi ozizi nke ị gbasoro. 7 Atụfula
oge gị n'ịrụ ụka rụrụ arụ banyere akụkọ ifo nzuzu, na akụkọ na-abaghị uru nke ndị
agadi nwanyị na-akọ. Kama zụọ onwe gị ka ị bụrụ onye nke na-asọpụrụ Chineke.
8 Igwuri egwu nke anụ ahụ dị mma kama ịbụ onye nke Chineke bara uru karịa n'ụzọ
ọbụla, n'ihi na nkwa dị n'ime ya bụ banyere ndụ dị ugbu a na ndụ dị n'ihu. 9 Okwu
a kwesiri ntụkwasị obi, kwesikwa ka a nara ya nke ọma. 10 Anyị na-adọgbu onwe
anyị n'ọrụ na-ahụjukwa anya maka na anyị tụkwasịrị olileanya anyị na Chineke dị
ndụ, onye bụ Onye nzọpụta mmadụ niile, karịchasịa, nke ndị niile kwere ekwe.

*Ndụmọdụ*

† **3:8** 3:8 Ndị na-adịghị agha ụgha maọbụ ekwu okwu aghụghọ.

[11] Ndị a bụ ihe ndị ị ga-akụzi, kwudosie ike na-akụzi ha. [12] Ekwela ka onye ọbụla
lelịa gị anya n'ihi na ịbụ okorobịa. Kama mee ka ị bụrụ ihe ịmaatụ na ihe ilere anya
ọma nye ndị kwere ekwe, n'okwu, n'ibi obi, n'ịhụnanya, n'okwukwe nakwa n'ịdị
ọcha n'uche. [13] Tutu ruo mgbe m ga-abịa n'ebe ahụ, na-agụpụta ma na-akọwakwara
ndị chọọchị ihe e dere n'ime akwụkwọ nsọ. Na-ekwusakwa okwu Chineke. [14] Elelịla
onyinye ime mmụọ nke i nwere anya, bụ nke e nyere gị site n'ibu amụma pụtara ihe
mgbe ndị okenye bikwasịrị gị aka n'isi.

[15] Jiri onyinye ndị a niile rụọ ọrụ, nọgidesie ike n'ọrụ gị, ka onye ọbụla mata,
hụkwa na ị na-eme nke ọma. [16] Na-elezi anya na ndụ gị, na ozizi gị. Nọgidesie ike
n'ihe ndị a n'ihi na site na ha, ị ga-azọpụta onwe gị, zọpụtakwa ndị na-ege gị ntị.

# 5

*Ndị nwanyị di ha nwụrụ, ndị okenye na ndị ohu*

[1] Abarala okenye mba n'olu dị ike, kama jiri arịrịọ na nsọpụrụ gwa ya okwu dị ka ọ
bụ nna gị. Na-agwa ụmụ okorobịa okwu dị ka ị ga-esi gwa ụmụnne gị ị hụrụ n'anya
okwu. [2] Na-emeso ndị inyom ndị bụ okenye omume dị ka ndị nne, ma na-emesokwa
ụmụ agbọghọ omume dị ka ị ga-esi mesoo ụmụnne gị nwanyị omume. Na-echekwa
uche n'ịdị ọcha n'ebe o zuruoke.

[3] Sọpụrụnụ ụmụ nwanyị di ha nwụrụ, ndị na-ebi ndụ dị ka ndị di ha nwụrụ anwụ
n'eziokwu. [4] Kama ọ bụrụ na nwanyị ọbụla di ya nwụrụ nwere ụmụ, maọbụ ụmụ
ụmụ, ndị a bụ ndị kwesiri ibu mkpa ha. N'ihi na anyị kwesiri isite n'ụlọ anyị gosi
obiọma anyị inyere ndị mụrụ anyị aka. N'ihi na omume dị otu a na-atọ Chineke ụtọ.
[5] Nwanyị di ya nwụrụ n'ezie, nke na-enweghị onye na-elekọta ya anya, atụkwasịla
obi ya na olileanya na Chineke. Ọ na-anọgidekwa n'ekpere na arịrịọ ehihie na abalị.
[6] Ma nwanyị di ya nwụrụ nke weere onwe ya nyefee n'aka ịgbaso ihe na-eme ya
obi ụtọ bụrịị onye nwụrụ anwụ, ọ bụ ezie na ọ ka dị ndụ. [7] Nye ha ihe ndị a dịka
iwu, ka ha ghara ị bụ ndị a na-ata ụta. [8] Onye ọbụla na-adịghị egboro ndị ikwu ya,
karịchasịa ndị ezinaụlọ nke aka ya ihe na-akpa ha mkpa, ajụla okwukwe ahụ ma
jọkarịakwa onye na-ekweghị ekwe na njọ.

[9] Nwanyị ọbụla di ya nwụrụ ga-aba n'otu ndị di ha nwụrụ ga-abụ onye gbara iri
afọ isii maọbụ karịa. Ọ ga-abụkwa onye lụrụ naanị otu di. [10] Ọ ga-abụ onye mmadụ
niile na-agbara ezi ama, n'ihi ezi ọrụ ọ rụrụ. Ọ ga-abụ onye zụlitere ụmụ ya n'ụzọ
ziri ezi, onye na-elezi ndị ọbịa anya, onye na-enyere ndị ọrịa na ndị merụrụ ahụ aka,
onye na-asa ụkwụ ndị nsọ na onye jikeere mgbe niile ime ihe ọma.

[11] Ma o kwesighị ka e debanye aha ụmụ agbọghọ di ha nwụrụ n'otu ụmụ nwanyị
di ha nwụrụ anwụ. N'ihi na mgbe ọchịchọ anụ ahụ jidesiri ha ike, ha ga-enupuru
Kraịst isi, chọwa ịlụ di ọzọ. [12] Ụdị omume a ga-ewetara ha ikpe ọmụma, n'ihi na ha
emezughị nkwa ha kwere na mbụ. [13] Wezugakwarị nke a, na ha amụta omume ịdị
umengwụ, n'aga n'ụlọ dị iche iche. Ọ bụghị naanị na ha bụ ndị na-adịghị arụ ọrụ,
kama ha na-etinye anya n'ihe na-agbasaghị ha, na-akpa asịrị, na-ekwu okwu nzuzu,
na-ekwu ihe ha ekwesighị ikwu. [14] N'ihi nke a, ana m adụ ndị ụmụ agbọghọ ndị a
di ha nwụrụ ọdụ ka ha lụrụ di ọzọ, mụọkwa ụmụ, ma na-elekọtazikwa ezinaụlọ ha
anya nke ọma. Ọ bụrụ na ha mee nke a, ọ dịghị onye iro ọbụla ga-ekwu okwu ọjọọ
megide anyị. [15] Ụfọdụ ndị mmadụ adahielarị ụzọ, soro ekwensu.

[16] Ya mere, nwanyị ọbụla kwere ekwe, nke nwere n'ezinaụlọ ya ndị inyom di ha
nwụrụ anwụ, ya jisie ike gboro ha mkpa. Ọ dịghị mma ibogbu chọọchị n'ibu, ka o
nwee ike iletazu ndị nọ n'ọnọdụ ụmụ nwanyị di ha nwụrụ n'ezie.

[17] Nye ndị okenye, ndị na-achị nke ọma nsọpụrụ kwesiri ekwesi na ụgwọ ọrụ
okpukpu abụọ, ọkachasị ndị na-adọgbu onwe ha n'ọrụ izi oziọma na n'ikuzi ihe.

18 N'ihi na akwụkwọ nsọ kwuru, "Ekechila ọnụ ehi mgbe ọ na-azọcha mkpụrụ ọka,"*
hapụ ya ka ọ na-eri nri mgbe ọ na-arụ ọrụ, ọzọkwa, "Onye na-arụ ọrụ kwesiri ịnata
ụgwọ ọrụ ya."† 19 Egela ntị n'ebubo ọjọọ ọbụla a na-ebo onye okenye karịakwa
maọbụ na ndị akaebe abụọ maọbụ atọ gbara ama megide ya. 20 Ma ndị okenye ahụ
nọgidere na-eme mmehie, kpọpụta ha baara ha mba n'ihu mmadụ niile, ka ndị ọzọ
tụọ egwu gharakwa iso omume ha. 21 Ana m adọ unu aka na ntị n'ihu Chineke na
n'ihu Onyenwe anyị Jisọs Kraịst na n'ihu ndị mmụọ ozi a họpụtara, ka unu debe
ụkpụrụ ndị a niile, nye onye ọbụla ntaramahụhụ nke ruru ya, elekwala onye ọbụla
anya n'ihu.
22 Ebikwasịkwala onye ọbụla aka n'isi ọsịịsọ ime ya okenye maọbụ onye na-eje ozi.
Ekwela ka i keta oke na mmehie ndị ọzọ. Debe onwe gị ọcha.
23 Aṅụkwala naanị mmiri ọzọ, na-aṅụ ntakịrị mmanya maka afọ gị na nrịa nrịa
nke na-arịa gị ọtụtụ mgbe.
24 Mmehie ụfọdụ mmadụ na-apụta ihe ma na-ebukwa ha ụzọ rụọ oche ikpe, ma
ndị ọzọ ka a na-ahụta mmehie ha n'oge ikpeazụ. 25 Otu a kwa, ọrụ ọma na-apụta
ihe, ma ọ bụladị ndị na-apụtaghị ihe, apụghị izo ha ezo.

# 6

1 Ndị niile bụ ohu ga-ahụ ndị nwe ha dị ka ndị ekwesiri inye ugwu na nsọpụrụ, ka
a ghara ikwujọ aha Chineke na ozizi anyị. 2 Ndị nke nwere ndị kwere ekwe dịka ndị
nwe ha ekwesighị ileli ha anya n'ihi na ha bụ ụmụnna ha. Kama, ha kwesiri ijere
ndị nwe ha ozi nke ọma karịa, n'ihi na ndị na-erite uru n'ọrụ ha bụ ndị kwere ekwe
bụrụkwa ndị anyị hụrụ n'anya.

### *Ndị ozizi ụgha na ịhụ ego n'anya*

Ihe ndị a ka ị ga-akụziri ha, dụkwaa ha ọdụ banyere ime nke a. 3 Onye ọbụla
na-ezi ihe ọzọ nke na-adabaghị n'okwu ezi ntọala na-enye ndụ nke Onyenwe anyị
Jisọs Kraịst, ya na ozizi nke ibi ndụ kwesiri onye nke Chineke, 4 bụ onye nganga
na-afụli elu, ma bụrụkwa onye na-amaghị ihe. Ọchịchọ obi ya bụ nke na-ezighị ezi
ma jupụtakwa n'ịrụ ụka na ekworo nke na-eweta ịkpọ asị na esemokwu, na nkwulu
nakwa ajọ echiche, 5 na isi ịrụ ụka niile nke na-esite n'aka ụmụ mmadụ ndị echiche
ha na-enweghịkwa eziokwu. Ha na-eche na ife Chineke bụ ụzọ e si aba ọgaranya.
6 Ma ikpere Chineke bara uru nke ukwuu nye onye nwere afọ ojuju n'ihe ọbụla
o nwere. 7 N'ihi na o nweghị ihe anyị ji n'aka mgbe anyị bịara n'ụwa, otu a kwa,
o nweghị ihe anyị ga-ewerekwa mgbe anyị ga-esi n'ụwa pụọ. 8 Ya mere, ọ bụrụ na
anyị enwe ihe oriri na uwe anyị ji ekpuchi ọtọ anyị, afọ kwesiri iju anyị n'ihe anyị
nwere. 9 Ma ndị na-achọ ịba ọgaranya na-adaba n'ọnwụnwa na n'ime ọnya na ọtụtụ
ihe nzuzu na ọchịchọ ọjọọ niile dị iche iche nke na-enubanye ha n'ịla n'iyi na mbibi.
10 N'ihi na ịhụ ego n'anya bụ mgbọrọgwụ* nke ime ihe ọjọọ niile dị iche iche. Ụfọdụ
ndị hụrụ ego n'anya, ndị na-achọsi ya ike, adapụla n'okwukwe ha, si otu a tinye onwe
ha n'ọtụtụ ọnọdụ na-ewetara ha obi ọjọọ na iru ụjụ.

### *Ndụmọdụ mmechi Pọl dụrụ Timoti*

11 Ma gị bụ onye nke Chineke, gbaara ihe ndị a niile ọsọ. Ma chụsoo ezi omume
na iyi Chineke, na okwukwe, na ịhụnanya, na ntachiobi, na ịdị nwayọ. 12 Na-agbasi
mgba ọma nke okwukwe gị ike, jidesiekwa ndụ ebighị ebi ahụ aka ike bụ nke a kpọrọ
gị oku maka ya mgbe i mere ezi nkwupụta gị n'ihu ọtụtụ ndị akaebe. 13 N'ihu Chineke,
onye na-enye ihe niile ndụ, na n'ihu Kraịst Jisọs onye gbara ama nkwupụta ọma n'ihu
Pọntiọs Pailet. Ana m enye gị iwu 14 ka i debezuo ihe niile e nyere n'iwu na-enweghị
ntụpọ ọbụla maọbụ ịta ụta ruo mgbe Onyenwe anyị Jisọs Kraịst ga-apụta ihe. 15 Nke

* **5:18** 5:18 Dit 25:4 † **5:18** 5:18 Luk 10:7 * **6:10** 6:10 Ya bụ nzọ ụkwụ mbụ

a ga-emezu mgbe oge zuru site n'ike ya, Chineke, onye dị ngọzị na onye naanị ya
na-achị, Eze kachasị eze niile, na Onyenwenụ kachasị ndị nwenụ niile. 16 Onye naanị
ya na-adịghị anwụ anwụ. Onye na-ebikwa n'ime ìhè nke mmadụ ọbụla na-apụghị
ịbịaru nso. Onye mmadụ ọbụla na-ahụbeghị anya mgbe ọbụla, onye a na-apụghịkwa
ịhụ anya. Ọ bụ ya ka nsọpụrụ na ike dịrị ruo mgbe ebighị ebi. Amen.

*Ndị ọgaranya*

17 Nye ndị bụ ọgaranya n'oge ugbu a iwu ka ha ghara ịnya isi, maọbụ tụkwasị
obi ha n'akụnụba, nke a na-ejighị aka. Kama ka ntụkwasị obi ha dịrị na Chineke
onye na-enyezu anyị ihe niile site n'akụ ya n'ihi ime anyị obi ụtọ. 18 Gwa ha ka ha
na-eme ezi ihe, ka ha bụrụ ọgaranya n'ọrụ ọma niile, ka ha nwee obiọma na inyere
ndị ọzọ aka, dịkwa njikere ikenye ndị ọzọ ihe site n'ihe ha nwere. 19 N'ụzọ dị otu a,
ha na-akpadoro onwe ha akụ nke ga-abụrụ ha ntọala siri ike n'ọgbọ dị n'ihu, nke a
ga-eme ka ha rite ndụ ahụ nke bụ ezigbo ndụ n'uru.

20 Timoti chebekwa ihe ndị ahụ e nyefere gị n'aka, wezuga onwe gị site n'okwu
nzuzu nke rụrụ arụ, na ịrụ ụka nzuzu nke ha na-akpọ ihe ọmụma, 21 bụ nke ụfọdụ
kwupụtara, ma na ime nke a, ha esitela n'ụzọ okwukwe kpafuo.

Ka amara dịnyere gị. Amen.

# 2 Timoti

1 Pọl, onyeozi Kraịst Jisọs, dị ka uche Chineke si dị, na dị ka nkwa ndụ n'ime Kraịst
Jisọs si dị,

2 Nye gị Timoti, ezi nwa m.

Ka amara, na ebere na udo nke sitere na Chineke bụ Nna, na Kraịst Jisọs Onyenwe
anyị dịrị gị.

### *Ekele*

3 Ana m ekele Chineke, bụ onye m na-ejere ozi ekele, dị ka nna nna m ha mere
site n'akọnuche dị ọcha, ọtụtụ mgbe ka m na-echeta gị n'ekpere m ehihie na abalị.
4 Ka m na-echeta anya mmiri gị, ọ na-agụsị m agụụ ike ehihie na abalị ịhụ gị, ka
ọṅụ m zuo oke. 5 Emere m ka m cheta okwukwe ihu abụọ n'adịghị nke i nwere, bụ
okwukwe nke burii ụzọ dịrị n'ime nne nne gị Lọịsi, bịa dịkwa n'ime nne gị Yunaịsi.
Emere ka m kwenye na otu okwukwe ahụ dịkwa n'ime gị.

### *Arịrịọ ikwesi ntụkwasị obi nye Pọl na oziọma*

6 N'ihi nke a, achọrọ m ichetara gị ka i mee ka onyinye Chineke ahụ i nwere na-enwu
dị ka ọkụ, bụ nke i natara mgbe m bikwasịrị gị aka m abụọ n'isi. 7 N'ihi na Chineke
enyeghị anyị mmụọ ịtụ ụjọ, kama o nyere anyị mmụọ na-emejupụta anyị n'ike, na
ịhụnanya, na uche zuruoke. 8 Ihere emela gị ikwupụta ama banyere Onyenwe anyị
maọbụ banyere m bụ onye mkpọrọ ya. Kama, site n'ike Chineke, soro m hụọ ahụhụ
n'ihi oziọma ahụ. 9 Ọ zọpụtara anyị, kpọbata anyị na ndụ dị nsọ. Ọ bụghị n'ihi na
anyị kwesiri ka a kpọọ anyị, kama, ọ bụ n'ihi nzube ya na amara ya. E nyere anyị
amara n'ime Kraịst Jisọs tupu a tọọ ntọala ụwa a. 10 Ugbu a, o meela ka ihe niile
o zubere pụta ìhè site n'ọbịbịa Onye nzọpụta anyị Jisọs Kraịst, onye lara ike ọnwụ
n'iyi, zi anyị ụzọ anyị ga-esi nwee ndụ ebighị ebi site n'oziọma ahụ. 11 N'ihi oziọma
a, ahọpụtara m ka m bụrụ onye na-ekwusa oziọma a, na onyeozi, na onye nkuzi. 12 Ọ
bụkwa n'ihi nke a ka m ji na-ahụ ahụhụ ndị a n'ebe a, ma n'eziokwu, ihere adịghị
eme m, n'ihi na amaara m onye m na-atụkwasị obi, amakwaara m nke ọma, na o
nwere ike ichebe ihe niile m nyere ya n'aka idebe tutu ruo ụbọchị ahụ.
13 Jidesie eziokwu ahụ aka ike, ụdị eziokwu ahụ mụ onwe m ziri gị, eziokwu ahụ
gbasara okwukwe ahụ, na ịhụnanya ahụ dị n'ime Kraịst Jisọs. 14 Chezie onyinye ọma
ahụ e sitere n'aka Mmụọ Nsọ bi n'ime gị nye gị idebe.

### *Ekwesighị ntụkwasị obi na ikwesi ntụkwasị obi*

15 Dị ka i maara, ndị niile si n'Eshịa bịa n'ebe a agbakụtala m azụ. Ọ bụladị Faigelọs
na Hamogịnịs ahapụla m laa.
16 Ka Onyenwe anyị mere ezinaụlọ Onisiferọs ebere, n'ihi ume ọ gbara m ọtụtụ
mgbe. Ihere emeghị ya na-abụ m onye mkpọrọ. 17 Mgbe ọ bịaruru Rom, ọ chọgharịrị
m n'ebe niile, ma n'ikpeazụ, ọ chọtara m. 18 Ka Onyenwe anyị kwe ka ọ nata ebere
n'aka Onyenwe anyị n'ụbọchị ahụ. Ị mara nke ọma ụdị aka o nyere m n'Efesọs.

## 2

### *Ezi onye agha nke Kraịst*

1 Ya mere, nwa m, bụrụ onye dị ike site n'amara ahụ Kraịst Jisọs na-enye. 2 Ihe niile
nke ị nụrụ n'ọnụ m n'ihu ọtụtụ ndị ama ka ị ga-enyefe n'aka ndị kwesiri ntụkwasị

obi, bụ ndị nwekwara ike izi ndị ọzọ ihe ndị a. 3 Soro m kere oke n’ahụhụ dị ka ezi
onye agha Jisọs Kraịst. 4 Ọ dịghị onye agha ọbụla na-ekekọta onwe ya n’ihe nke ụwa
a, kama ọ na-achọ ime ihe ga-atọ onye họpụtara ya dị ka onye agha ụtọ. 5 Otu aka
ahụ, onye na-agba ọsọ agaghị enweta okpu mmeri, ma ọ bụrụ na ọ gbaghị ọsọ ya
dịka usoro iwu ịgba ọsọ si dị. 6 Onye ọrụ ubi na-adọgbu onwe ya n’ọrụ kwesiri ịbụ
onye ga-ebu ụzọ rie mkpụrụ sitere n’ubi ya. 7 Na-atụgharị uche n’ihe m kwuru, n’ihi
na Onyenwe anyị ga-enye gị nghọta n’ime ha niile.

8 Echefula Jisọs Kraịst, onye a kpọlitere site n’ọnwụ, onye sikwa n’agbụrụ Devid,
nke a bụ oziọma m. 9 Ọ bụ n’ihi na m na-ekwu eziokwu ndị a ka m ji nọọ na-ahụ
ahụhụ dị otu a dị ka onye ọjọọ, ma otu ọ dị, ekeghị okwu Chineke agbụ. 10 Ya mere,
ana m anagide ihe niile n’ihi ndị a họpụtara, ka ha bụrụkwa ndị ga-anata nzọpụta
dị n’ime Kraịst Jisọs, na ebube ebighị ebi.

11 Nke a bụ okwu kwesiri ntụkwasị obi:

Ọ bụrụ na anyị esoro ya nwụọ,
anyị ga-esokwa ya dị ndụ.
12 Ọ bụrụ na anyị anagide,
anyị ga-esokwa ya chịa ọchịchị.
Ọ bụrụ na anyị ajụ ya,
ọ ga-ajụkwa anyị.
13 Ọ bụrụ na anyị ekweghị ekwe,
ọ ga-anọgide n’ikwesị ntụkwasị obi,
n’ihi na o nweghị ike ịjụ onwe ya.

### *Onye ọrụ nke Chineke na-anabata*

14 Na-echetara ha nke a, na-agwasikwa ha ike n’aha Chineke ka ha ghara ịrụ ụka
banyere okwu efu. N’ihi na okwu ndị a abaghị uru, ha na-ewetara ndị na-anụ ya
ịla n’iyi. 15 Gbalịsie ike ka iche onwe gị n’ihu Chineke dị ka onye a nabatara. Onye
ọrụ nke ihere na-apụghị ime, onye na-akọwa eziokwu ahụ nke ọma. 16 Zere onwe
gị n’okwu nzuzu nke rụrụ arụ, n’ihi na ọ na-aga n’ihu iduba ndị mmadụ n’ọnọdụ
amaghị Chineke karịa. 17 Ozizi ha ga-agbasa dị ka nsị, Haimeniọs na Filetus soo na
ndị dị otu a. 18 Ha ahapụla ịgbaso ụzọ eziokwu ahụ bido na-ekwusa okwu ụgha,
na-asị na oge mbilite n’ọnwụ agafeela. Site n’okwu ha, ha na-ekpu okwukwe mmadụ
ụfọdụ ihu n’ala. 19 Ma ntọala Chineke hiwere na-eguzosi ike. N’elu ya ka eji ihe e
dere kaa akara: “Onyenwe anyị maara ndị bụ ndị nke ya,”* ya na, “Ka onye ọbụla
kpọrọ onwe ya onye nke Kraịst kwụsị ibi ndụ ajọ omume.”

20 N’ime ụlọ ukwuu, ọtụtụ ngwa ọrụ dị ya, ndị e ji ọlaedo maọbụ ọlaọcha, maọbụ
osisi maọbụ ụrọ kpụọ. Ụfọdụ ka e ji eje ozi n’oge nkwanye ugwu dị mkpa, ndị ọzọ
ka e ji eje ozi n’oge ọbụla. 21 Ọ bụrụ na onye ọbụla edoo onwe ya ọcha pụọ n’ihe
ọjọọ niile, ọ ga-abụ ngwa ọrụ e mere maka ọrụ ndị kwesiri nkwanye ugwu, bụrụkwa
onye dị nsọ, onye na-abara Onyenwe ya uru, na onye dị njikere mgbe ọbụla ịrụ ezi
ọrụ.

22 Gbanarị ihe ọbụla na-etinye ụdị echiche ọjọọ nke ụmụ okorobịa na-enwe n’ime
gị, kama, na-agbaso ezi omume na okwukwe, na ịhụnanya na udo, ka gị na ndị na-
akpọkukwa Onyenwe anyị site n’obi dị ọcha na-emekọrịta. 23 Wezuga onwe gị n’ịrụ
ụka nzuzu na nke amaghị ihe niile, n’ihi na ị maara na ha na-eweta ise okwu. 24 O
kwesikwaghị ka ohu Onyenwe anyị bụrụ onye na-ese okwu, kama, ọ ga-abụ onye
obiọma nye mmadụ niile, na onye ma otu e si ezi ihe, onye dị njikere ịnagide ihe
ọjọọ e mere ya. 25 Ọ ga-ejiri obi dị nwayọ mgbe ọ na-adụ ndị iro ya ọdụ. Eleghị anya
Chineke nwere ike mee ka ha chegharịa, bịa mata eziokwu. 26 Mgbe ahụ, ha nwere
ike gbanahụ ọnya ekwensu, ka o jidechara ha ka ha mee uche ya.

---

* **2:19** 2:19 Ọnụ 16:5

# 3

*Oge ikpeazụ*

1 Ma mara nke a, na n'oge dị oke egwu ga-adị mgbe ikpeazụ. 2 N'ihi na ndị mmadụ
ga-abụ ndị na-ahụ naanị onwe ha n'anya, na ndị na-ahụ ego n'anya. Ha ga-abụ ndị
mpako, na ndị na-anya isi, ndị na-ekwujọ ibe ha, ndị na-adịghị asọpụrụ ndị mụrụ ha,
maọbụ ikele ha ekele, na ndị na-adịghị ọcha n'obi ha. 3 Ndị na-enweghị ịhụnanya
n'obi ha, ndị na-enweghị obi mgbaghara, ndị na-agba asịrị, ndị na-emebiga ihe ọjọọ
oke, ndị na-eme dị ka anụ ọhịa, na ndị ihe ọma na-adịghị atọ ụtọ. 4 Ndị na-arara ibe
ha nye n'aka ndị iro ha, ndị isiike, ndị onwe ha juru afọ; ndị na-ahụ ihe ụtọ nke ụwa
a n'anya, kama ịhụ Chineke n'anya. 5 Ha bụ ndị na-ebi ndụ ndị nke Chineke ma ha
adịghị egosipụta ike dị na ndụ ahụ. Zere onwe gị n'ebe ndị dị otu a nọ.
6 Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị na-abanye n'ime ụlọ ndị mmadụ na-eduhiekwa ụmụ
nwanyị na-enweghị uche, ndị ibu mmehie ha na-anyịgbu, na ndị a pụrụ iduhie n'ihi
ọtụtụ ihe ọjọọ na-agụ mkpụrụobi ha agụụ. 7 Ndị a na-akụziri ihe oge niile, ma ha
apụghị inweta amamihe nke eziokwu. 8 Dị ka Jenas na Jembaras si lụso Mosis ọgụ,
otu a ka ndị a na-alụsokwa eziokwu ahụ ọgụ. Ha bụ ndị nwere obi rụrụ arụ, na ndị
ndụ ha mere ka ha bụrụ ndị a jụrụ ajụ n'ebe okwukwe anyị dị. 9 Ma ha agaghị aga
n'ihu n'ihi na nzuzu ha ga-apụta ihe n'ihu mmadụ niile, dịka nke mmadụ abụọ ahụ.

*Ndụmọdụ ikpeazụ*

10 Ma ugbu a, ị maara ihe niile banyere ozizi m, na omume m, na ebumnuche m,
na okwukwe m na ntachiobi m, na ịhụnanya m, na ndidi m, 11 na mkpagbu m na
ahụhụ niile nke dakwasịrị m n'Antiọk, na Aikoniọm, na Listra. Ị maara ụdị mkpagbu
dị iche iche m gabigara. Ma Onyenwe anyị napụtara m site n'ime ha niile. 12 N'ezie,
ndị niile chọrọ ibi ndụ ịsọpụrụ Chineke n'ime Kraịst Jisọs ga-agabiga mkpagbu. 13 Ma
ndị mmadụ ọjọọ na ndị na-ebi ndụ aghụghọ ga-ajọ njọ karịa ka ha dị. Ha ga-eduhie
ndị ọzọ, ma bụrụkwa ndị a ga-eduhie. 14 Ma gị onwe gị, nọgidesie ike n'ihe ịmụtara
na ihe i kwenyesịrị ike na ya, ebe ị maara onye i si n'aka ya mụta ha. 15 Ị maara na
ọ bụ site n'oge ị bụ nwantakịrị ka ihe e dere n'akwụkwọ nsọ jiri doo gị anya, nke
nwere ike ikuziri gị maka nzọpụta site n'okwukwe i nwere n'ime Kraịst Jisọs. 16 Ihe
niile dị n'akwụkwọ nsọ bụ ihe si n'uche Chineke pụta. Ha bara uru maka izi anyị ihe,
igosi erughị eru anyị, ịtụziri anyị aka n'ụzọ dị mma, na ịzụ anyị n'ụzọ ezi omume:
17 ka onye nke Chineke zuo oke, dịkwa njikere maka ịrụ ezi ọrụ niile ọbụla.

# 4

1 Ya mere, ana m adụsi gị ọdụ ike n'ihu Chineke na n'ihu Kraịst Jisọs, onye ga-
ekpe ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ ikpe. Ejikwa m ọbịbịa ya na alaeze ya na-asị
gị, 2 kwusaa okwu ahụ mgbe niile; dịkwa njikere, mgbe o kwesiri ekwesi na mgbe ọ
na-ekwesighị, jiri ya nye ntụziaka, jiri ya baa mba, jirikwa ya gbaa ndị mmadụ ume,
site na ntachiobi na ilezi anya inye ezi ndụmọdụ. 3 N'ihi na oge na-abịa mgbe ụfọdụ
mmadụ na-agaghị anagidekwa eziokwu ahụ, kama ha ga-agagharị ịchọ ndị ozizi ha
ga-eji gbaa onwe ha gburugburu, ndị ga-ezi ha ihe ha chọrọ ịnụ. 4 Ha agaghị ege ntị
n'eziokwu ahụ, kama ha ga-ege ntị n'akụkọ na-enweghị isi. 5 Ma guzosie ike, nọọ na
nche mgbe niile, na-edi ahụhụ, na-arụkwa ọrụ gị dịka onye oziọma. Rụzukwaa ihe
ị kwesiri ịrụ n'ọrụ gị.
6 N'ihi na ugbu a, abụrụla m rịị onye a na-awụpụ dị ka aja ihe ọṅụṅụ, oge ụla
m eruokwala. 7 Alụsịala m ọgụ ọma ahụ, agbasịala m ọsọ ahụ, edebezuokwala m
okwukwe ahụ. 8 Ugbu a, e deberela m okpueze nke ezi omume, nke Onyenwe anyị,
onye ikpe ezi omume ahụ, ga-enye m n'ụbọchị ahụ. Ma ọ bụghị naanị m ka ọ ga-enye
ya, kama ọ ga-enyekwa ya ndị ahụ niile ọ na-agụsị agụ ike ịhụ ya anya.

*Okwu banyere ihe mere*

9 Gbalịsie ike ịbịakwute m ọsịịsọ, 10 n'ihi na Dimas onye hụrụ ihe ndụ a n'anya
ahapụla m gaa Tesalonaịka. Kresens agaala Galeshịa, Taịtọs agakwaala Dalmetia.
11 Ọ bụ naanị Luk nọnyere m. Mgbe ị na-abịa, kpọta Mak n'ihi na ọ ga-enyere m aka
n'ije ozi m. 12 Ezipụla m Taịkikọs ka ọ gaa Efesọs. 13 Mgbe ị na-abịa, wetara m uwe
m ji achụ oyi, bụ nke m hapụrụ n'aka Kapọs na Troas, wetakwara m akwụkwọ m
niile ahụ dị n'ebe ahụ, ọkachasị akwụkwọ akpụkpọ anụ niile ahụ.

14 Alegzanda onye na-akpụ ọla emeela m ọtụtụ ihe ọjọọ. Onyenwe anyị ga-
akwụghachi ya dị ka ihe o mere m si dị. 15 Kpachara anya n'ebe ọ nọ, n'ihi na o
guzosiri ike megide ihe niile anyị kwuru.

16 Na mbụ, mgbe m pụtara ikpere ọnụ m, ọ dịghị onye kwụnyeere m. Ha niile
gbahapụrụ m. Ka a hapụ ịgụnyere ha omume a dị ka mmehie. 17 Ma Onyenwe anyị
nọnyeere m, nyekwa m ike ikwusa oziọma ka ndị mba ọzọ niile nụrụ ya. Ọ zọpụtara
m, site n'ọnụ ọdụm. 18 Onyenwe anyị ga-azọpụtakwa m site n'ihe ọjọọ niile ọbụla,
kpọbata m n'udo baa n'alaeze eluigwe ya. Ọ bụ ya ka otuto dịrị ruo mgbe niile ebighị
ebi. Amen.

*Ekele ikpeazụ*

19 Keleere m Prisila na Akwila na ndị niile bi n'ụlọ Onisiferọs.

20 Erastọs nọ na Kọrint, ma ahapụrụ m Trofimọs na Melitọs n'ọnọdụ ahụ esighị
ike. 21 Jisie ike bịarute n'ebe a tupu oge oyi eruo.

Yubulọs na-ekele gị, ya na Pudins, na Lainọs na Klọdia na ụmụnna anyị niile.

22 Ka Onyenwe anyị nọnyere mmụọ gị. Ka amara dịnyere gị.

# Taịtọs

[1] Akwụkwọ ozi a si n’aka m, Pọl, odibo Chineke, na onyeozi Jisọs Kraịst, onye
ahọpụtara ime ka okwukwe ndị Chineke, na nghọta banyere ịmara eziokwu ahụ
na-eduba na ndụ ịsọpụrụ Chineke gaa n’ihu, [2] nke a dabere n’olileanya maka ndụ
ebighị ebi, nke Chineke onye na-adịghị agha ụgha kwerelarị na nkwa tupu mmalite
nke oge. [3] Mgbe oge imezu nkwa ahụ ruru, o mere ka okwu ya pụta ìhè site na
nkwusa oziọma, nke e nyefere m n’aka idebe, dị ka Chineke Onye nzọpụta anyị si
nye ya n’iwu.

[4] Ọ bụ gị Taịtọs, ezi nwa m nwoke n’ime okwukwe nke anyị nwekọrọ.

Ka amara na udo nke sitere na Chineke bụ Nna, na Kraịst Jisọs Onye nzọpụta anyị
dịrị gị.

*Ọrụ dịrị Taịtọs*

[5] Ahapụrụ m gị na Kriit ka i dozie ihe ụfọdụ a na-edozibeghị, ka ị họpụtakwa ndị
okenye n’obodo niile, dị ka m siri nye gị n’iwu. [6] Ọ ga-abụ onye a na-enweghị ihe
ịta ụta, ọ ga-abụ onye na-alụ otu nwanyị. Ụmụ ya bụ ndị kwere ekwe, ndị ama na
ha anaghị ebi ndụ ọjọọ, maọbụ na-eme isiike. [7] Ebe ọ bụ na onye nlekọta n’ahụ ihe
banyere chọọchị Chineke, ọ ga-abụ onye na-enweghị ihe ịta ụta. Ọ gaghị abụ onye
nganga, onye na-ewe iwe ọkụ, onye na-aṅụbiga mmanya oke, onye na-alụ ọgụ mgbe
niile, onye hụrụ ego n’anya. [8] Ọ ga-abụ onye na-anabata ndị ọbịa, na onye na-ahụ
ezi ihe n’anya. Ọ ga-abụ onye na-akwanyere onwe ya ugwu, ezi mmadụ ụzọ ya kwụ
ọtọ, onye dị nsọ, na onyeisi zuruoke. [9] Ọ ga-abụkwa onye jidesiri oziọma ahụ nke
kwesiri ntụkwasị obi aka ike dịka eziri ya. Nke ga-eme ka o nwe ike gbaa ndị ọzọ
ume site na ozizi ahụ nke zuruoke, nakwa ịtụ ndị ahụ na-eguzogide ya mmehie ha
n’ihu.

*Igbochi ndị ozizi ụgha*

[10] N’ihi na e nwere ọtụtụ mmadụ ndị na-ekweghị, ndị na-ekwu okwu efu, na ndị
aghụghọ, nke ka nke, ndị si n’otu ndị obibi ugwu pụta. [11] Aghaghị ịkwụsị ha maka
na ha na-akụzi ihe ha ekwesighị ikuzi n’ihi ego, si otu ahụ na-eme ka ọtụtụ ezinaụlọ
gbasaa. [12] Ọ bụ otu onye n’ime ha, onye bụkwa onye amụma ha kwuru okwu banyere
ha sị, “Ndị Kriit niile bụ ndị ụgha. Ha kwara obi n’azụ dị ka anụ ọhịa jọrọ njọ. Ha
bụ ndị umengwụ nwere akpịrị ogologo.” [13] N’ezie, okwu a bụ eziokwu. N’ihi nke
a, baara ha mba n’olu ike banyere mmehie ha ka ha nwee ike zuo oke n’okwukwe,
[14] ka ha kwụsị ige ntị n’akụkọ ifo ndị Juu na-akọ, maọbụ iwu nke ndị jụrụ ịnabata
eziokwu nyere. [15] Ihe niile dị ọcha n’ebe ndị dị ọcha nọ, o nweghị ihe ọbụla dị ọcha
n’ebe ndị rụrụ arụ na ndị na-ekweghị ekwe nọ. N’ihi na uche ha na akọnuche ha
rụrụ arụ. [16] Ha na-ekwupụta na ha maara Chineke, ma ha ji omume ha na-agọnarị
ya. Ha bụkwa ndị na-akpọ mmadụ ibe ha asị, ndị isiike, na ndị na-adịghị ike n’ezi
ọrụ ọbụla.

## 2

*Ezi ozizi na ezi agwa*

[1] N’akụkụ nke gị, na-akụzi ihe kwesiri eziokwu nke okwukwe. [2] Gwa ndị okenye
nwoke ka ha nwee anya udo, ka ha nwee akọnuche zuruoke, ka ha bụrụ ndị kwesiri

nsọpụrụ, ndị okwukwe ha siri ike, ndị na-ahụ ibe ha n’anya, na ndị nwekwara
ntachiobi.
[3] N’otu aka ahụ, gwa ndị okenye nwanyị ka ha na-eme omume dị ka ụmụ nwanyị dị
nsọ. Ka ha ghara ịbụ ndị na-agba asịrị maọbụ ohu nke ịṅụbiga mmanya oke. Kama
ha na-akụzi ihe dị mma. [4] Ha ga-esi otu a kuziere ụmụ agbọghọ ka ha ga-esi hụ di
ha na ụmụ ha n’anya. [5] Ka ha bụrụkwa ndị akọnuche ha zuruoke, ndị dị ọcha n’obi,
ndị na-edozi ezinaụlọ di ha, ndị na-eme ebere, ndị na-edo onwe ha n’okpuru di ha,
ka onye ọbụla ghara ikwulu okwu Chineke.
[6] N’otu ụzọ ahụ kwa, gbaakwa ụmụ okorobịa ume ka ha jide onwe ha. [7] N’ihe niile
ị na-eme, mee onwe gị ihe ịma atụ ndị ọzọ ga na-eṅomi n’ime ezi omume. Na nkuzi
gị niile, gosikwa izuoke na ikwesi ntụkwasị obi. [8] Ka ozi gị bụrụ nke kwụ ọtọ mmadụ
apụghị ịma ikpe, ka ihere mee onye na-agbagha gị okwu, ebe ọ bụ na onweghi ihe
ọjọọ ọ ga-ekwu gbasara anyị.
[9] Gwa ndị ohu ka ha na-erubere ndị nwe ha isi, ka ha na-eme ihe ga-atọ onyenwe
ha ụtọ mgbe niile. Ka ha hapụ ịsa ndị nwe ha okwu, [10] ka ha ghara izu ohi, kama
ka ha gosi na ha bụ ndị kwesiri ntụkwasị obi. N’ụzọ dị otu a, ha ga-ewetara ihe anyị
na-akụzi maka Chineke Onye nzọpụta anyị otuto n’ihe niile ha na-eme.
[11] N’ihi na Chineke emela ka amara ya nke wetaara mmadụ niile nzọpụta pụta
ìhè. [12] Ọ bụkwa amara a na-akụziri anyị ka anyị jụ ndụ asọpụrụghị Chineke na nke
ịgbaso ọchịchọ ọjọọ dị n’ụwa, kama ka anyị bie ndụ dị ka ndịisi zuruoke na ndụ
ezi omume, nakwa ịtụ egwu Chineke n’ọgbọ nke oge a. [13] Otu a ka anyị ga-esi na-
eche olileanya anyị dị ngọzị bụ ọbịbịa nke otuto nke Chineke anyị dị ukwuu, na Onye
nzọpụta anyị bụ Jisọs Kraịst. [14] Ọ bụ ya jiri onwe ya chụọ aja n’ihi anyị, ka ọ gbapụta
anyị site n’ajọ omume anyị niile, na ido ndị ga-abụ ndị nke ya ọcha nye onwe ya, ndị
ọ na-agụ agụụ ime ihe dị mma mgbe niile.
[15] Na-akụzi ihe ndị a, werekwa ha na-adụ ndị gị ọdụ site n’ikike niile i nwere.
Werekwa ha na-atụ ha mmehie ha n’ihu. Ka mmadụ ọbụla ghara ilelị gị anya.

# 3

*Ime ihe dị mma*

[1] Chetara ndị nke gị ka ha doo onwe ha n’okpuru ndịisi na ndị ọchịchị, ka ha
rubere ha isi, dịkwa njikere ịrụ ọrụ ọma ọbụla. [2] Gwa ha ka ha ghara ikwulu onye
ọbụla, ka ha gharakwa ịlụ ọgụ, kama, ka ha bụrụ enyi mmadụ niile, na-egosikwa ịdị
nwayọọ ha n’ebe mmadụ niile nọ.
[3] N’ihi na mbụ, anyị onwe anyị bụ ndị nzuzu, ndị na-enupu isi, na ndị na-enweghị
uche. Anyị bụ ohu agụụ ihe ọjọọ, na ihe ụtọ dị iche iche. Anyị biri ndụ obi ọjọọ na
ekworo, na ịkpọrịta onwe anyị asị. [4] Ma mgbe obiọma na ịhụnanya Chineke Onye
nzọpụta anyị pụtara ihe, [5] ọ zọpụtara anyị, ma ọ bụghị n’ihi ezi ihe ndị anyị mere,
kama ọ bụ site n’ebere ya. Ọ zọpụtara anyị site na nsacha nke ịmụ ọzọ na nnwogharị
nke Mmụọ Nsọ, [6] onye ọ wụsara anyị n’uju site n’Onye nzọpụta anyị bụ Jisọs Kraịst,
[7] ka ọ bụrụ na ebe e sitere n’amara gụọ anyị dịka ndị ezi omume, anyị ga-abụ ndị
nketa, ndị nwere olileanya ndụ ebighị ebi. [8] Okwu a kwesiri ntụkwasị obi, ọ ga-amasị
m ma i kwusie ihe ndị a ike, ka ndị kweere na Chineke, lezie anya n’ịrụ ezi ọrụ. Ihe
ndị a dị mma na-abakwara mmadụ uru.
[9] Ma zere ịrụ ụka nzuzu na ịgụ agbụrụ ọmụmụ, esemokwu niile, na ọgụ niile
ndị mmadụ na-alụ banyere iwu. Ihe ndị a niile abaghị uru ọbụla, ha bụ ihe efu.
[10] Gbasara onye na-akpa oke, ị dụchaa ya ọdụ ihe dịka otu ugboro maọbụ abụọ,
leghara ya anya. [11] Ebe ị ma na onye dị otu a bụ onye ndahie na onye ajọọ omume,
o jirila aka ya maa onwe ya ikpe.

*Okwu mmechi*

12 Ana m akwado izitere gị Atemas maọbụ Taịkikọs. Gbalịa bịakwute m na
Nikopolis, maka n’ebe ahụ ka m kpebiri ịnọ n’oge oyi. 13 Gbaa mbọ zipụ Zenas bụ
onye ọkaikpe, na Apọlọs, ngwangwa n’ije ha. Hụkwa na ha ji ihe niile dị ha mkpa.

14 N’ihi na ọ dị mkpa ka ndị anyị mụta inyere ndị niile chọrọ enyemaka ha aka. Ọ bụ nke a ga-eme ka ha bụrụ ndị na-amị mkpụrụ.

15 Ndị niile mụ na ha nọ n’ebe a na-ekele gị.
Kelekwara anyị ndị niile hụrụ anyị n’anya n’ime okwukwe.

Ka amara dịnyere unu niile.

# Fịlịmọn

[1] Pọl, onye e tinyere n'ụlọ mkpọrọ n'ihi Kraịst Jisọs na site n'aka nwanna anyị Timoti,

Anyị na-edetara gị ya ezi enyi anyị na onye anyị na ya na-arụkọ ọrụ, Fịlịmọn. [2] Anyị na-edetakwara ya nzukọ Kraịst dị n'ụlọ gị, na nwanna anyị nwanyị Afịa, na Akipos onye anyị na ya so na-alụ agha a.

[3] Ka amara na udo nke sitere na Chineke bụ Nna, na Kraịst Jisọs Onyenwe anyị dịrị unu.

### *Ekele na ekpere*

[4] Ana m ekele Chineke ekele mgbe ọbụla m na-echeta gị n'ekpere niile m na-ekpe.
[5] N'ihi na ana m anụ ihe banyere okwukwe i nwere n'ime Onyenwe anyị Jisọs, na
ịhụnanya i na-egosi ndị nsọ niile. [6] Ekpere m na-ekpe banyere gị bụ ka mmekọrịta
anyị na gị dịka ndị kwere ekwe, mee ka ị matazuo ihe ọma niile anyị nwere n'ime
Kraịst. [7] Ịhụnanya gị na-enye m oke ọṅụ na ịgbaume, ezi nwanna m, n'ihi na emeela
ka ndị nsọ nwee ume ọhụrụ site n'inyeaka gị.

### *Arịrịọ Pọl n'isi Onisimọs*

[8] Ọ bụ ezie na-enwere m ike n'ime Kraịst inye gị iwu banyere ihe kwesiri ka i mee,
ma agaghị m eme otu a. [9] Kama, ọ kaara m mma site na ndabere nke ịhụnanya, ịrịọ
gị ya dị ka arịrịọ. Ee, ọ bụ mụ Pọl, agadi nwoke ahụ na onye mkpọrọ n'ihi Kraịst
Jisọs na-arịọ gị arịrịọ a. [10] Biko, arịọ m gị n'isi Onisimọs, onye e mere ka ọ bụrụ nwa
m oge m nọ n'ụlọ mkpọrọ. [11] Na mbụ, o nweghị uru ọbụla ọ baara gị, ma ugbu a, ọ
baara mụ na gị uru.
[12] Ana m ezighachiri gị ya ugbu a, ya bụ, onye bụ obi* m ka m na-ezitere gị. [13] Ọ
gụsịrị m agụụ ike ime ka mụ na ya nọdụ n'ebe a, ka o were ọnọdụ gị na-ejere m
ozi ọ bụladị dị ka m nọ na mkpọrọ n'ihi oziọma. [14] Ma, a chọghị m ime ihe ọbụla
na-enwetaghị nkwenye gị, ka ọ ghara ịdị ka i mere obiọma gị na mmanye. Kama,
achọrọ m ka i mee ihe si gị n'obi pụta. [15] Ma eleghị anya, ọ bụ n'ihi nke a ka eji
kewapụ ya nwa oge nta site n'ebe ị nọ, bụ ka i mesịa nweghachi ya ebighị ebi. [16] Ọ
bụghịkwa ohu ọzọ, kama ọ karịrị ohu, maka ọ dịka nwanna a hụrụ n'anya, ọkachasị
n'ebe mụ onwe m nọ, ma ọ ga-abụkwara gị karịchasịa, ma n'anụ ahụ nakwa n'ime
Onyenwe anyị.
[17] N'ihi nke a, ọ bụrụ na ị gụrụ m dị ka onye nnwekọ ihe, nabata ya dị ka ị ga-esi
nabata m. [18] Biko, ọ bụrụ na o mejọrọ gị n'ụzọ ọbụla, ọ bụrụkwa na o ji ụgwọ ọbụla,
gụọ ya dị ka ụgwọ m ji gị. [19] Mụ bụ Pọl ji aka m dee nke a; aga m akwụghachi gị. Ọ
bakwaghị uru ichetara gị ụgwọ i ji m. N'ihi na ụgwọ i ji m bụ gị onwe gị. [20] Nwanna
m, mere m ihe a m na-arịọ gị n'ihi Onyenwe anyị. Mekwa ka obi m dị ọhụrụ n'ime
Kraịst. [21] Olileanya m siri m ike na ị ga-aṅa m ntị, ana m edere gị akwụkwọ a, na ị
ga-eme, ma karịakwa ka m rịọrọ.
[22] Ihe ọzọkwa, bụ na m chọrọ ka ị kwadoro m ọnụụlọ ebe m ga-anọ dị ka ọbịa ma
m bịa, maka enwere m olileanya na a ga-aza ekpere unu ime ka m si n'ebe a pụta
bịakwute unu.

* **1:12** 1:12 Maọbụ, onye m weere ka onwe m

23 Epafras, onye mụ na ya nọ n’ụlọ mkpọrọ n’ihi Kraịst Jisọs na-ekele gị.
24 Mak, na Arịstakọs, na Dimas, na Luk, ndị mụ na ha na-arụkọ ọrụ na-ekelekwa
unu.

25 Ka amara Onyenwe anyị Jisọs Kraịst dịnyere mmụọ unu.

# Ndị Hibru

*Okwu Chineke site n'Ọkpara ya*

1 Na mgbe ochie, Chineke gwara nna nna anyị ha okwu n'oge dị iche iche site n'ọnụ
ndị amụma, na site n'ụzọ ndị ọzọ dị iche iche. 2 Ma n'oge ikpeazụ ndị a, ọ gwala anyị
okwu site n'ọnụ Ọkpara ya, onye o nyefere ihe niile n'aka. Ọ bụ site n'aka ya ka
o siri kee ụwa niile na ihe dị n'ime ya. 3 Ọ na-enwupụta ebube ya na-anọchitekwa
anya ụdịdị ya, ebe o ji okwu ya dị ike na-ejikọta ihe niile. Mgbe ọ sachapụrụ ma
hichapụkwa mmehie niile, ọ nọdụrụ n'aka nri nke Onye dị ukwuu, dị elu n'eluigwe.
4 Ya mere, ọ bụrụla onye dị ukwu karịa ndị mmụọ ozi dị ka aha e nyere ya si dị elu
karịa nke ha.

*Ịdị ukwuu nke Ọkpara Chineke*

5 Onye n'etiti ndị mmụọ ozi ka ọ gwarala sị,
"Ị bụ Ọkpara m.
Taa abụrụla m Nna gị"*?
Maọbụ ọzọkwa,
"Aga m abụrụ ya Nna,
ya onwe ya ga-abụkwara m Nwa"†?
6 Ọzọkwa, mgbe o mere ka nwa mbụ ya bịa n'ụwa, o nyere iwu sị,
"Ka ndị mmụọ ozi Chineke niile fee ya ofufe."‡
7 O kwukwara banyere ndị mmụọ ozi ya, ọ sịrị,
"Ọ na-eme ndị mmụọ ozi ya ka ha bụrụ ikuku,
na-emekwa ndị na-ejere ya ozi ka ha bụrụ ire ọkụ."§
8 Ma banyere Ọkpara ahụ, ọ sịrị,
"Ocheeze gị, O Chineke, ga-adịgide ruo mgbe ebighị ebi.
Mkpara omume ziri ezi ka mkpara alaeze gị ga-abụ.
9 Ị hụrụ ezi omume n'anya ma kpọọ ihe ọjọọ asị.
N'ihi nke a, Chineke, nke bụ Chineke gị, emeela ka ịdị elu karịa ndị ibe gị niile
site na ite gị mmanụ nke ọṅụ."*
10 Ọ sịkwara,
"Na mmalite, Onyenwe anyị, ọ bụ gị tọrọ ntọala ụwa,
eluigwe bụkwa ọrụ aka gị.
11 Ha ga-ala n'iyi, ma gị onwe gị ga-anọgide.
Ha niile ga-aka nka dịka uwe.
12 Ị ga-apịakọta ha,
gbanwee ha dị ka akwa.
Ma gị onwe gị enweghị mgbanwe.
Ọnụọgụgụ afọ gị agaghị enwe ọgwụgwụ ruo mgbe ebighị ebi."†
13 O nweela mmụọ ozi ọbụla ọ sịrị,
"Nọdụ ala n'aka nri m
ruo mgbe m ga-eme ndị iro gị
ihe mgbakwasị ụkwụ nye ụkwụ gị"‡?
14 Ndị mmụọ ozi niile, ha abụghị mmụọ ndị na-ejere Chineke ozi, ndị a na-ezipụ ka
ha jee ozi n'ihi ndị ahụ ga-eketa nzọpụta?

---

* **1:5** 1:5 Abụ 2:7 † **1:5** 1:5 2Sa 7:14; 1Ih 17:13 ‡ **1:6** 1:6 Dit 32:43 § **1:7** 1:7 Abụ 104:4 * **1:9** 1:9 Abụ 45:6,7 † **1:12** 1:12 Abụ 102:25-27 ‡ **1:13** 1:13 Abụ 110:1

# 2

*Ịdọ aka na ntị banyere ige ntị*

1 Ya mere, anyị aghaghị ilezi anya nke ọma banyere ihe anyị nụrụla, ka anyị hapụ
isi na ha wezuga onwe anyị. 2 N'ihi na ọ bụrụ na ozi ahụ e ziri site na ndị mmụọ ozi
dị ire, ọ bụrụkwa na njehie maọbụ nnupu isi ọbụla natara ahụhụ kwesiri ya. 3 Anyị
ga-esi aṅaa gbanarị ntaramahụhụ ma ọ bụrụ na anyị eleghara oke nzọpụta ahụ anya?
Ọ bụ Onyenwe anyị kwupụtara ya, bụkwa nke ndị nụrụ ya gbaara anyị ama banyere
ya. 4 Chineke n'onwe ya tụkwasịrị ịgba ama nke ya, site n'ịrụ ọrụ ebube na ọrụ
ịrịbama, na ọrụ ịtụnanya dị iche iche, nakwa ikesa ọtụtụ onyinye nke Mmụọ Nsọ, dị
ka ọchịchọ ya siri dị.

*E mere ka Jisọs dịrị ka ụmụnna ya*

5 Ọ dịghị mgbe Chineke nyere ndị mmụọ ozi ike ịchị elu ụwa a. Anyị na-ekwu
banyere ụwa gaje ịbịa abịa. 6 Otu onye agbaala akaebe n'ebe ọzọ,
"Gịnị ka mmadụ bụ i ji na-eche banyere ha?
Gịnị ka nwa nke mmadụ bụ iji na-elekọta ya?
7 N'ihi na i mere ka ha dị ala nwantakịrị n'ebe ndị mmụọ ozi nọ;
i jikwa ebube na nsọpụrụ kpube ya n'isi dịka okpueze,
8 dokwaa ihe niile n'okpuru ụkwụ ya."*
Mgbe o mere ka ihe niile dịrị n'okpuru ya, o nwekwaghị ihe ọbụla ọ hapụrụ itinye
n'okpuru ya. Ma otu ọ dị, anyị ahụbeghị ka e doro ihe niile n'okpuru ya. 9 Ma anyị
na-ahụ Jisọs bụ onye e mere ka ọ dị ala nwantakịrị oge karịa ndị mmụọ ozi, ma ugbu
a ejirila ebube na nsọpụrụ kpukwasị ya n'isi, n'ihi ahụhụ ọnwụ nke ọ hụrụ, ka o site
n'amara Chineke detụ ọnwụ ire n'ihi mmadụ niile.
10 Ebe e sitere na ya kpọbata ọtụtụ ụmụ n'ebube, o ziri ezi ka Chineke, onye ihe
niile dịrị na onye kere ihe niile, mee ka onyeisi nzọpụta ha bụrụ onye zuruoke site
n'ahụhụ ọ hụrụ. 11 Onye ahụ na-eme mmadụ ka ọ dị nsọ, na ndị ahụ e mere ka ha
dị nsọ si n'otu ezinaụlọ. N'ihi ya, ihere adịghị eme ya ịkpọ ha ụmụnna ya. 12 Ọ sịrị,
"Aga m ekwupụta aha gị nye ụmụnna m,
n'etiti nzukọ ka m ga-anọ bụọrọ gị abụ otuto."†
13 Ọzọkwa,
"Aga m atụkwasị obi m na ya."‡
Ọzọkwa, ọ sịrị,
"Lee mụ onwe m, na ụmụ ndị Chineke nyere m."§
14 Ebe ọ bụ na ụmụ ndị ahụ ketara oke na anụ ahụ na ọbara, ya onwe ya sooro ha
keta oke n'ụdịdị ahụ, ka o site n'ọnwụ ya laa onye ahụ nwere ike ọnwụ n'iyi, onye
ahụ bụ ekwensu. 15 Ma tọpụ ndị ahụ niile egwu nke ọnwụ mere ka ha bụrụ ohu na
ndụ ha niile. 16 N'ihi na n'ezie, ọ bụghị ndị mmụọ ozi ka ọ na-enyere aka kama ọ bụ
ụmụ ụmụ Ebraham. 17 N'ihi nke a, e mere ka o yie ụmụnna ya n'ihe niile, ka o nwe
ike ghọọ onyeisi nchụaja kwesiri ntụkwasị obi ma na nke nwere obi ebere n'ijere
Chineke ozi, ka o nweekwa ike chụọ aja ikpuchi mmehie mmadụ niile. 18 Ebe ọ bụ
na ya onwe ya tara ahụhụ mgbe a na-anwa ya ọnwụnwa, o nwekwara ike inyere ndị
a na-anwa ọnwụnwa aka.

# 3

*Jisọs dị ukwuu karịa Mosis*

1 Ya mere, ụmụnna m dị nsọ, ndị so keta oke n'ọkpụkpọ eluigwe ahụ, ka echiche
unu dịgide naanị na Jisọs. Onyeisi ozi na onyeisi nchụaja nke okwukwe anyị. 2 O

* **2:8** 2:8 Abụ 8:4-6 † **2:12** 2:12 Abụ 22:22 ‡ **2:13** 2:13 Aịz 8:17 § **2:13** 2:13 Aịz 8:18

kwesiri ntụkwasị obi nye onye ahụ họpụtara ya dịka Mosis si bụrụ onye kwesiri
ntụkwasị obi n'ije ozi ya n'ụlọ Chineke. [3] Ma Jisọs nwere ugwu na nsọpụrụ karịa
Mosis, dịka onye na-ewu ụlọ si enwe ugwu na nsọpụrụ karịa ụlọ o wuru. [4] N'ihi na
ụlọ ọbụla nwere onye wuru ya, maọbụ Chineke na-ewu ihe niile. [5] Mosis kwesiri
ntụkwasị obi dịka odibo n'ụlọ Chineke n'ihe niile,* sịkwa otu a gbaa ama banyere
ihe ndị a ga-ekwu n'ọdịnihu. [6] Ma otu ọ dị, Kraịst kwesiri ntụkwasị obi dịka ọkpara
nke na-elekọta ụlọ ya. Anyị gabụkwanụ ụlọ ya ma ọ bụrụ na anyị ejidesie okwukwe
anyị ike ya na olileanya nke anyị ji anya isi.

### *Ịdọ aka na ntị banyere ekweghị ekwe*

[7] Ya mere, dị ka Mmụọ Nsọ na-asị,
"Ọ bụrụ na unu anụ olu ya taa,
[8] unu emela ka obi unu sie ike,
dị ka unu mere n'oge nnupu isi
mgbe oge ọnwụnwa n'ime ọzara,
[9] ebe nna nna unu ha nọrọ nwa m ọnwụnwa.
Ọ bụ ezie na ha hụrụ akaọrụ m iri afọ anọ ndị a.
[10] N'ihi nke a, ewere m iwe megide ọgbọ ahụ.
Asịrị m, 'Obi ha na-akpafu akpafu mgbe niile.
Ha amatabeghị ụzọ m niile.'
[11] Ya mere, aṅụrụ m iyi n'iwe m, sị,
'Ha agaghị abanye n'izuike m ma ọlị.' "†
[12] Lezienụ anya, ụmụnna m, ka ajọ omume niile na ekweghị ekwe niile nke obi
ghara ịdị n'ime onye ọbụla n'etiti unu, nke ga-eme ka unu site n'iso Chineke dị ndụ
tụgharịa. [13] Kama, na-agbanụ onwe unu ume kwa ụbọchị niile dịka a kpọrọ ụbọchị
ahụ Taa. Ka a hapụ inwekwa onye ọbụla a ga-esite n'aghụghọ nke mmehie mee ka
obi ya sie ike. [14] Anyị bụ ndị anyị na Kraịst ga-eso kekọrịta oke ma ọ bụrụ na anyị
ga-ejidesi ya ike bụ ntụkwasị obi ahụ anyị nwere site na mmalite ruo ọgwụgwụ. [15] Dị
ka e kwuru ya,
"Taa, ọ bụrụ na unu anụ olu ya.
Unu emela ka obi unu sie ike,
dịka unu mere n'oge nnupu isi."‡
[16] Olee ndị bụ ndị ahụ nụrụ ma nupu isi? Ọ bụ na ọ bụghị ndị niile ahụ Mosis
dupụtara site n'ala Ijipt? [17] Ọ bụkwa olee ndị ka o wesoro iwe iri afọ anọ? Ọ bụ na
ọ bụghị ndị ahụ mehiere. Ndị ahụ ahụ ha dara n'ọzara? [18] Olee ndị ahụ ọ ṅụụrụ iyi
na ha agaghị aba n'izuike ya? Ọ bụ na ha abụghị ndị ahụ nupuuru ya isi? [19] Ugbu a,
anyị maara na ha enweghị ike ịbanye, n'ihi na ha bụ ndị na-ekweghị ekwe.

# 4

### *Ụbọchị izuike nye ndị nke Chineke*

[1] Ya mere, ebe ọ bụ na nkwa nke ịba n'izuike ya ka ghere oghe, ka anyị kpachapụ
anya hụ na o nweghị onye ọbụla a ga-ahụta dịka onye etozughị ya. [2] N'ihi na-eziela
anyị oziọma ahụ, dị ka ezikwara ha: ma oziọma ahụ ha nụrụ abaraghị ha uru n'ihi
na ha ejighị okwukwe nara ya. [3] Ma anyị bụ ndị kweere na-abanye n'ebe izuike ahụ,
dị ka Chineke si kwuo,
"Aṅụrụ m iyi n'iwe m,
'Ha agaghị abanye n'izuike m ma ọlị.' "*
O kwuru nke a n'agbanyeghị na ọ rụchaala ọrụ ya site na ntọala ụwa. [4] N'ihi n'otu
ebe, o nweela ihe o kwuru banyere ụbọchị nke asaa site n'okwu ndị a: "Chineke zuru

* **3:5** 3:5 Ọnụ 12:7 † **3:11** 3:11 Abụ 95:7-11 ‡ **3:15** 3:15 Abụ 95:7,8 * **4:3** 4:3 Abụ 95:11

ike site n'ọrụ ya niile, n'ụbọchị nke asaa."† 5 Ma n'ebe a kwa, e kwuru, "Ha agaghị
abanye n'ebe izuike m ma ọlị."‡
6 Ebe ọ bụ na ohere dịịrị ụfọdụ mmadụ ịbanye n'ime ya, ma ndị ahụ buru ụzọ nata
oziọma ahụ abanyeghị n'ihi nnupu isi. 7 O wepụtara ụbọchị ọzọ nke ọ kpọrọ Taa, o
sitere n'ọnụ Devid kwuo okwu ahụ e kwurula ihe banyere n'oge gara aga sị,
"Taa, ọ bụrụ na unu anụ olu ya,
unu emela ka obi unu sie ike."§
8 N'ihi na a sị na Joshua nyere ha ezumike, ọ gaghị ekwu banyere ụbọchị ọzọ. 9 Otu
ụbọchị izuike fọdụrụ nye ndị nke Chineke. 10 N'ihi na onye ọbụla banyere n'ezumike
ya esitela n'ọrụ nke ya onwe ya nwee izuike dị ka Chineke siri banye n'izuike nke ya.
11 Ya mere, ka anyị mee ka ike anyị ha, ka anyị banye n'ebe izuike ahụ, ka ọ hapụ
ịdịkwa onye ọbụla nke na-agaghị aba n'ihi ịnọmi ekweghị ekwe ha.
12 N'ihi na okwu Chineke dị ndụ dịkwa nkọ. Ọ dị nkọ karịa mma ihu abụọ ọbụla.
Ọ na-adụba ruo na-ikewa mkpụrụobi na mmụọ, ma rukwaa na ebe nkwonkwo na
ụmị kewakwara onwe ha. Ọ na-enyocha ọchịchọ na echiche obi ndị mmadụ. 13 Ọ
dịghị ihe ọbụla n'ime ihe niile e kere eke pụrụ izo onwe ya site n'ebe Chineke nọ.
Ihe niile ghere oghe, ma gbarakwa ọtọ n'ihu anya ya. Ọ bụ n'ihu ya ka anyị niile
ga-aza ajụjụ banyere ndụ anyị niile.

### *Jisọs onyeisi nchụaja anyị*

14 Ebe ọ bụ na anyị nwere onyeisi nchụaja dị ukwuu, onye nke gaferela n'eluigwe,
Jisọs Ọkpara Chineke, ka anyị jidesienụ okwukwe anyị ike. 15 N'ihi na anyị nwere
onyeisi nchụaja nke nwere ike ịghọta adịghị ike anyị. A nwara ya ọnwụnwa n'ụzọ
niile dị ka a na-anwa anyị taa. Ma, o meghị mmehie n'ụzọ ọbụla mgbe a nwara ya.
16 Ya mere, ka anyị bịaruo ocheeze amara ahụ nso na-atụghị egwu, ka anyị si otu a
nata ebere, ma chọtakwa amara nke ga-enyere anyị aka n'oge mkpa.

## 5

1 A na-esite n'etiti ndị mmadụ họrọ onyeisi nchụaja ọbụla, ka ọ nnọchite anya
ndị mmadụ n'ihe banyere ife Chineke, ka ọ na-eche onyinye na-achụkwa aja maka
mmehie dị iche iche. 2 Ebe ọ bụ na ya onwe ya bụ onye na-adịghị ike, ọ pụrụ iji
nwayọọ na-emeso ndị na-amaghị ihe na ndị na-ejehie ụzọ omume. 3 N'ihi nke a, ọ
ghaghị ịchụ aja maka mmehie nke onwe ya na nke ndị mmadụ. 4 O nweghị onye
na-ewere ugwu a n'onwe ya, kama ọ bụ Chineke na-akpọ dịka o si kpọọ Erọn.
5 N'otu aka ahụ kwa, Kraịst enyeghị onwe ya ebube nke ịbụ onyeisi nchụaja, kama
Chineke sịrị ya,
"Ị bụ Ọkpara m.
Taa abụrụla m Nna gị."*
6 N'ebe ọzọ, o kwuru,
"Dị ka usoro Melkizedek si dị,
ị bụ onye nchụaja ruo mgbe ebighị ebi."†
7 Mgbe ọ ka dị ndụ n'anụ ahụ, o ji oke olu na anya mmiri kpee ekpere rịọkwa arịrịọ
nye onye ahụ pụrụ ịzọpụta ya site n'ọnwụ. A nụkwara olu ya n'ihi ndụ nrube isi na
mweda n'ala ya. 8 Ọ bụ ezie na ọ bụ Ọkpara ma ọ mụtara irube isi site n'ahụhụ ọ
tara. 9 Ma mgbe e mere ka o zuo oke, ọ ghọrọ isi nke nzọpụta ebighị ebi nye ndị niile
na-erubere ya isi. 10 Ebe Chineke mere ya onyeisi nchụaja n'usoro Melkizedek.

### *Ịdọ aka na ntị banyere ịdapụ n'okwukwe*

11 Ọ dị ọtụtụ ihe ọzọ anyị nwere ikwu banyere ya, ma o siri ike ịkọwa ya n'ihi na
unu adịghị amụta ihe ọsịịsọ. 12 N'ezie, ugbu a, unu kwesiri ịbụ ndị ozizi nye ndị ọzọ,

† **4:4** 4:4 Jen 2:2 ‡ **4:5** 4:5 Abụ 95:11 § **4:7** 4:7 Abụ 95:7,8 * **5:5** 5:5 Abụ 2:7 † **5:6** 5:6 Abụ 110:4

ma unu ka nọ na-achọ onye ga-ezikwa unu ụkpụrụ mbụ nke okwu Chineke. Unu na-
achọ mmiri ara kama nri siri ike. 13 Onye ọbụla nke na-aṅụ ara, ka bụ nwantakịrị,
ọ matabeghị ozizi banyere ezi omume. 14 Nri dị ike dịrị ndị tozuru oke, ndị siterela
n'ihe ha na-eme zụọ onwe ha ịchọpụta ihe dị iche n'etiti ezi ihe na ajọ ihe.

# 6

1 Ya bụ ka anyị na-aga n'ihu n'ihe mmụta zuru ezu, ka anyị gharakwa ịnọgide
n'ihe mmụta mbụ ahụ nke anyị nwere banyere Kraịst. Anyị agaghị alaghachi azụ
ịtọ ntọala nchegharị ọzọ site n'ọrụ ndị nwụrụ anwụ n'okwukwe n'ebe Chineke nọ,
2 na-akụzi banyere ime baptizim na ibikwasị aka n'isi na onyinye nke Mmụọ Nsọ, na
mbilite n'ọnwụ na ikpe ebighị ebi. 3 Anyị ga-eme nke a ma Chineke kwe.
4 Ma ọ dịghị mfe ịkpọghachi ndị dara ada ọzọ, bụ ndị natarala ihe ahụ na mbụ,
ndị detụkwara onyinye amara dị iche iche nke si n'eluigwe bịa ire, ndị ketakwara
oke Mmụọ Nsọ, 5 ndị detụkwara ịdị mma nke okwu Chineke ahụ ire na ike nke
ụwa na-abịa, 6 ma mesịa dahie n'onwe ha, ọ bụ ihe siri ike ịkpọghachite ha ruo
nchegharị. Ha na akpọgidekwa Ọkpara Chineke n'obe ọzọ, na emenyekwa ya ihere
n'ihu ọha mmadụ. 7 N'ihi na ala ahụ nke na-amị mmiri na-ezokwasị n'elu ya mgbe
niile, na-amịpụta mkpụrụ bara ụba nye ndị e ji maka ha kọọ ya, na-enweta ngọzị
n'aka Chineke. 8 Ma ọ bụrụ na o puo naanị ogwu na ahịhịa, ọ baghị uru ọbụla.
Kama, ọ ga-abụ ihe a bụrụ ọnụ, nke ọgwụgwụ ya ga-abụ ịkpọ ya ọkụ.
9 Ma ọ bụ ezie na anyị na-ekwu otu a, ezi ndị enyi m, anyị nwere ntụkwasị obi
maka ihe dị ezi mma banyere unu, bụ ihe ndị ha na nzọpụta so bịa. 10 Chineke
abụghị onye na-ekpe ikpe n'ezighị ezi. Ọ gaghị echefu ọrụ niile unu rụrụ ya. Ọ gaghị
echefu ịhụnanya niile unu gosiri n'ihi ya site n'ịgara ndị nsọ ozi, dịka unu na-aga
n'ihu na-emekwa. 11 Anyị chọrọ ka onye ọbụla n'ime unu nọgidesie ike n'otu ịnụ
ọkụ n'obi ahụ ruo ọgwụgwụ ihe niile, ka unu nwee olileanya inwezu ihe niile unu
na-atụ anya ya mgbe oge ruru. 12 Anyị achọghị ka unu bụrụ ndị umengwụ, kama ka
unu bụrụ ndị na-eṅomi ndụ ahụ jiri okwukwe na ntachiobi nweta ihe ahụ e kwere
na nkwa.

*Chineke adịghị agbanwe uche ya*

13 Mgbe Chineke kwere Ebraham nkwa, o ji onwe ya ṅụọ iyi, n'ihi na ọ dịghị onye
ọzọ dị ukwuu karịa ya, 14 na-asị, "N'ezie aga m agọzi gị, nyekwa gị ọtụtụ ụmụ ụmụ."*
15 Ebraham nwere ndidi, natakwa ihe e kwere ya na nkwa.
16 Ụmụ mmadụ na-eji ndị ka ha ukwuu ṅụọ iyi, iyi aṅụrụ n'ụzọ dị otu a na-eme ka
ihe e kwuru guzosie ike ma wezugakwa ịrụ ụka niile n'etiti mmadụ. 17 Ya mere, mgbe
Chineke chọrọ igosi ndị ahụ ga-eketa nkwa ahụ, ụdịdị izuzu ya, o jiri ịṅụ iyi mee ka
o doo ha anya na izuzu ya adịghị agbanwe agbanwe. 18 Ka ọ ga-abụ site n'ihe abụọ
na-enweghị mgbanwe, nke na-agaghị ekwe omume izi Chineke dịka onye ụgha, anyị
bụ ndị gbara ọsọ ndụ ga-enweta agbamume siri ike iji jide olileanya e dobeere anyị.
19 Anyị nwere olileanya a dị ka arịlịka nke mkpụrụobi nke guzosiri ike ma bụrụkwa
nke e chekwara. Ọ na-abanye n'ime ime ebe nchụaja ahụ n'azụ akwa mgbochi 20 ebe
Jisọs onye buru anyị ụzọ, abanyela n'ihi anyị; ọ ghọlara anyị onyeisi nchụaja ruo
mgbe ebighị ebi dị ka usoro Melkizedek si dị.

# 7

*Melkizedek onye nchụaja*

1 Melkizedek a bụ eze Salem, bụrụkwa onye nchụaja Chineke Onye kachasị ihe niile
elu. Ọ zutere Ebraham mgbe o si na mmeri o meriri ọtụtụ ndị eze ahụ na-alọghachi,

* **6:14** 6:14 Jen 22:17

gọziekwa ya. 2 Ebraham nyekwara ya otu ụzọ n’ime ụzọ iri nke ihe niile. Ihe mbụ
aha ya pụtara bụ, “eze ezi omume,” ọzọkwa bụ “eze nke Salem,” nke pụtara, “eze
udo.” 3 O nweghị nna, o nwekwaghị nne, nke ọ na-enwe agbụrụ. O nweghị mmalite
nke ụbọchị a mụrụ ya, maọbụ ọgwụgwụ ndụ, e mere ya dị ka Ọkpara Chineke. Ọ
na-anọgide bụrụ onye nchụaja ruo mgbe ebighị ebi.
4 Leenụ otu o siri bụrụ onye dị ukwuu, ọ bụladị Ebraham bụ nna nna anyị nyere
ya otu ụzọ n’ime ụzọ iri site n’ihe ọ kwatara n’agha! 5 Ma otu ọ dị, iwu kwadoro
ka ụmụ Livayị bụ ndị ghọrọ ndị nchụaja na-anakọta otu ụzọ n’ime ụzọ iri site n’aka
ndị ọzọ, ya bụ, site n’aka ndị ụmụnna ha ndị Izrel, n’agbanyeghị na ụmụnna ha ndị
ahụ bụkwa ụmụ ụmụ Ebraham. 6 Ma nwoke a bụ onye na-esiteghị n’agbụrụ naara
otu ụzọ n’ụzọ iri site n’aka Ebraham ma gọziekwa ya bụ onye ahụ nke natara nkwa
ahụ. 7 O nweghị ịrụrịta ụka ọbụla dị ya, na onye dị ukwuu na-agọzi onye dị nta.
8 N’otu aka ahụ, ndị na-anata otu ụzọ n’ụzọ iri bụ mmadụ na-anwụ anwụ, ma n’aka
nke ọzọ, onye na-anata ya bụ onye ahụ e kwupụtara na ọ na-adị ndụ. 9 Mmadụ pụrụ
isi na Livayị onye natara otu ụzọ n’ụzọ iri kwụrụ otu ụzọ n’ụzọ iri nke ya site n’aka
Ebraham. 10 N’ihi na mgbe Melkizedek zutere ya, ọ ka nọ n’afọ nna nna ya.

### *Jisọs dị ka Melkizedek*

11 Ọ bụrụ na a pụrụ ime ka mmadụ zuo oke site n’ọnọdụ ndị nchụaja ndị Livayị,
n’ihi na ọ bụ site n’iwu e nyere ndị mmadụ ka e ji hiwee ọnọdụ ndị nchụaja. Olee
uru ọ bara ka onye nchụaja ọzọ bịa, dị ka usoro Melkizedek si dị, na-abụghị dị ka
usoro nke Erọn? 12 Ebe a gbanwere ọnọdụ ndị nchụaja, n’otu aka ahụ, a ghaghị
ịgbanwekwa iwu. 13 N’ihi na onye ahụ e kwuru ihe ndị a banyere ya sitere n’agbụrụ
ọzọ, nke ọ dịbeghị onye ọbụla sitere na ya rụrụ ọrụ dị n’ebe ịchụ aja. 14 Ọ bụ ihe a
mara nke ọma na Onyenwe anyị si n’agbụrụ Juda pụta, Mosis n’onwe ya akpọtụghị
agbụrụ ahụ aha mgbe ọ na-ekwu banyere ndị nchụaja. 15 E meela ka a ghọta okwu
anyị na-ekwu nke ọma, mgbe onye nchụaja ọzọ yiri Melkizedek pụtara. 16 Onye
ghọrọ onye nchụaja ma ọ bụghị site n’usoro iwu nke ọmụmụ ndị nchụaja, kama site
n’ike dị na ndụ nke na-apụghị ịla n’iyi. 17 N’ihi na-agbara akaebe banyere ya, sị,
“Gị onwe gị, bụ onye nchụaja ruo mgbe ebighị ebi,
dị ka usoro Melkizedek si dị.”*
18 N’otu aka ahụ, e wezugala usoro iwu ochie ahụ n’ihi adịghị ike ya na n’ihi
abaghị uru ya 19 (n’ihi na iwu ahụ emeghị ka ihe ọbụla zuo oke), ma n’aka nke ọzọ,
e webatala olileanya ka mma, bụ nke anyị na-esite na ya bịaruo Chineke nso.
20 Ma e ji iṅụ iyi mee ka ọnọdụ onyeisi nchụaja a guzosie ike. O nweghị iyi a ṅụrụ
mgbe ndị ọzọ ghọrọ ndị nchụaja. 21 Ma onye nke a ghọrọ onye nchụaja site n’iṅụ iyi
mgbe onye ahụ gwara ya,
“Onyenwe anyị aṅụọla iyi,
ọ gaghị agbanwe obi ya,
‘Ị bụ onye nchụaja ruo mgbe ebighị ebi.’ ”†
22 N’ihi nke a, Jisọs aghọọla onye na-akwagide ọgbụgba ndụ ka mma.
23 Ihe ọzọ, ndị nchụaja nke ochie ahụ dị ọtụtụ n’ọnụọgụgụ n’ihi na ọnwụ gbochiri
ha ịga n’ihu n’ọrụ ha. 24 Ya mere, ebe ọ na-adị ndụ ruo mgbe ebighị ebi, ọ na-abụkwa
onyeisi nchụaja mgbe niile. 25 Ya mere o nwere ike ịzọpụta ruo mgbe niile ndị ahụ
na-abịakwute Chineke site na ya, n’ihi na ọ na-adị ndụ ruo mgbe niile ịrịọ arịrịọ n’ihi
ha.
26 Ya mere, ọ dị mkpa na anyị ga-enwe onyeisi nchụaja dị otu a, bụ onye dị nsọ, na
onye na-enweghị ntụpọ, na onye dị ọcha, na onye e kewapụrụ site n’ebe ndị mmehie
nọ, ma buliekwa ya elu karịa n’eluigwe. 27 Ọ dịghị ka ndịisi nchụaja ndị ọzọ, n’ihi

* **7:17** 7:17 Abụ 110:4 † **7:21** 7:21 Abụ 110:4

na ọ dịghị mkpa na ọ ga-achụ aja kwa ụbọchị, n’ihi mmehie nke aka ya, na n’ihi
mmehie nke ndị ọzọ. Naanị otu aja nke dịrị mgbe niile ka ọ chụrụ maka mmehie
mgbe o weere onwe ya nye dị ka aja. 28 N’ihi na iwu na-ahọpụta dị ka ndịisi nchụaja
ndị mmadụ na-adịghị ike. Ma okwu nke ịṅụ iyi ahụ, nke na-eso iwu n’azụ, họpụtara
Ọkpara, onye e mere ka o zuo oke ruo mgbe ebighị ebi.

# 8

*Onyeisi nchụaja nke ọgbụgba ndụ ọhụrụ*

1 Isi okwu dị n’ihe niile anyị na-ekwu bụ nke a, na anyị nwere onyeisi nchụaja dị
otu a, bụ onye na-anọdụ ala n’aka nri nke ocheeze onye ahụ kachasị ihe niile elu
n’eluigwe. 2 Onye na-eje ozi n’ebe nsọ ahụ, bụ ezi ụlọ ikwu ahụ Onyenwe anyị ji aka
ya wuo, ọ bụghị mmadụ wuru ya.
3 A họpụtara onyeisi nchụaja ọbụla ka ọ na-achụ aja na-enyekwa onyinye. N’ihi
nke a, o kwesikwara ka ọ nwee ihe ọ ga-eji na-achụ aja. 4 A sịkwarị na ọ nọ n’ụwa,
o garaghị a bụ onye nchụaja n’ihi na e nwere ndị nchụaja na-achụ aja dị ka usoro
iwu si dị. 5 Ha na-eje ozi n’ebe nsọ ahụ nke bụ oyiyi na onyinyo banyere ihe nke
dị n’eluigwe. Ọ bụ nke a mere e ji dọọ Mosis aka na ntị mgbe ọ na-akwado iwu ụlọ
ikwu ahụ, “Lezie anya hụ na i mere ihe niile n’usoro dị ka e si gosiri gị n’elu ugwu.”*
6 Ma otu ọ dị, ọ natara ọrụ ije ozi karịrị nke ha, dị ka onye ogbugbo nke ọgbụgba
ndụ dị elu karịa nke ochie, ebe ọgbụgba ndụ nke ọhụrụ a o mere ka ọ dịrị n’etiti ya
na mmadụ dabeere na nkwa dị mma karịa.
7 Ọ bụrụ na ọgbụgba ndụ ochie ahụ zuruoke, ọ garaghị aba uru ka achọwa ọgbụgba
ndụ ọzọ. 8 Ma Chineke chọpụtara ezughị oke ha mgbe ọ sịrị,
“Lee, oge na-abịa, ka Onyenwe anyị kwupụtara,
mgbe m ga-eme ka ọgbụgba ndụ ọhụrụ
dịrị n’etiti mụ na ụlọ Izrel,
nakwa ụlọ Juda.
9 Ọ bụghị ụdị ọgbụgba ndụ
mụ na nna nna ha gbara,
mgbe m jidere ha n’aka
site n’ala Ijipt dupụta ha,
n’ihi na ha anọgideghị bụrụ ndị kwesiri ntụkwasị obi idebe ọgbụgba ndụ m.
N’ihi ya, echepụrụ ihu m n’ebe ha nọ,
ka Onyenwe anyị kwupụtara.
10 Ma nke a bụ ọgbụgba ndụ m ga-eme ka ọ dịrị n’etiti mụ onwe m na ụlọ Izrel,
mgbe oge ndị ahụ gasịrị, otu a ka Onyenwe anyị kwubiri.
Aga m etinye iwu m n’ime uche ha,
dekwasị ya n’obi ha.
Aga m abụ Chineke ha,
ha onwe ha ga-abụkwa ndị m.
11 Ọ dịghị onye ọbụla n’etiti ha ga-akụziri onye agbataobi ya ihe,
maọbụ otu onye asị ibe ya, ‘Mara Onyenwe anyị,’
n’ihi na ha niile ga-ama onye m bụ,
site n’onye dịkarịsịrị nta ruo n’onye dịkarịsịrị ukwuu.
12 N’ihi na aga m agbaghara ajọ omume ha,
agaghị m echetakwa mmehie ha niile ọzọ.”†
13 Mgbe o kwuru okwu banyere ọgbụgba ndụ ọhụrụ, ọ pụtara na nke ochie ahụ
abụrụla ihe gabigara agabiga. Ihe dị ochie nke gabigara ga-emesịa ghara ịdịkwa.

* **8:5** 8:5 Ọpụ 25:40 † **8:12** 8:12 Jer 31:31-34

# 9

### *Ebe ofufe nke ụwa na nke eluigwe*

1 Ọgbụgba ndụ nke mbụ nwere usoro ofufe na ebe nsọ nke ụwa nke a e jiri aka wuo.
2 E guzobere ụlọ ikwu. N'ọnụụlọ nke mbụ n'ụlọ ikwu ahụ, e nwere ihe ịdọba iheọkụ,
na tebul, na achịcha e doro nsọ. Aha ọnụụlọ nke mbụ a bụ Ebe Nsọ. 3 N'azụ akwa
mgbochi nke abụọ ka e nwere ọnụụlọ a na-akpọ Ebe Kachasị Nsọ, 4 nke nwere ebe
ịchụ aja mgbaisiọma* e ji ọlaedo wuo, na igbe ọgbụgba ndụ ahụ nke e jiri ọlaedo
machie ahụ ya niile. Ihe dị n'ime ite ahụ bụ mánà na mkpanaka Erọn nke ahụ
puputara ahịhịa, ya na mbadamba nkume e dekwasịrị iwu ọgbụgba ndụ. 5 Ihe dị
n'elu igbe a bụ cherubim nke ebube ya, na-ekpuchite oche amara ahụ. Ma anyị
enweghị ike ịkọwacha ihe niile ndị a n'ozuzu oke ugbu a.
6 Mgbe e doro ihe niile ndị a n'usoro, onye nchụaja na-abata mgbe ọbụla n'ime
ọnụụlọ nke mbụ nke ụlọ ikwu a. N'ebe a ka ọ na-arụ ọrụ o ketara ịrụ. 7 Ma ọ bụ
naanị onyeisi nchụaja na-abanye n'ime ọnụụlọ nsọ nke abụọ, naanị otu ugboro n'afọ.
Ọ na-ejikwa ọbara na-aba n'ebe ahụ, iji chụọ aja maka onwe ya na n'ihi mmehie ndị
mmadụ mere na-amaghị ama. 8 Site na nke a, Mmụọ Nsọ na-egosi na ụzọ e si abanye
n'Ebe Kachasị Nsọ ahụ bụ ihe na a ka apụtabeghị ihe, ebe ọ bụ na ụlọ ikwu nke
mbụ ahụ ka na-eguzo. 9 Nke a bụ ihe ilu banyere oge ugbu a. Site na nhazi nke a,
onyinye na aja niile a na-achụ enweghị ike ime ka akọnuche onye na-efe ofufe zuo
oke. 10 Kama ha bụ naanị usoro iwu metụtara ihe oriri na ihe ọṅụṅụ na ụdị baptizim
dị iche iche nke anụ ahụ, bụ nke e nyere ka a na-eme ya ruo mgbe a ga-edozigharị
ihe niile.

### *Ọbara nke Kraịst*

11 Mgbe Kraịst bịara dị ka onyeisi nchụaja nke ezi ihe ahụ dị ugbu a, site n'ụlọ
ikwu dị ukwuu zuruoke nke a na-ejighị aka mee, nke na-esoghị n'ihe e kere eke, 12 o
jighị ọbara ụmụ ewu na nke ụmụ ehi banye n'ebe ahụ, kama o ji ọbara nke ya onwe
ya banye n'Ebe ahụ Kachasị Nsọ naanị otu mgbe, jiri ya wetara anyị niile mgbapụta
ebighị ebi. 13 Ma ọ bụrụ na ọbara ewu na nke oke ehi dị iche iche, ya na ntụ nwa
agbọghọ ehi, nke e fekwasịrị ndị rụrụ arụ, pụrụ ido ha nsọ, meekwa ka ha dị ọcha
n'elu ahụ. 14 Ọbara Kraịst onye sitere na Mmụọ dị ebighị ebi were onwe ya chụọrọ
Chineke aja n'enweghị ntụpọ ọbụla, ọ ga-esi aṅaa ghara ịsachapụ omume ruru unyi
nke akọnuche anyị, ka anyị nwee ike ife Chineke dị ndụ.
15 N'ihi nke a, ọ bụ onye ogbugbo nke ọgbụgba ndụ ọhụrụ, ka ndị a kpọrọ site
na ya nata ihe nketa ebighị ebi ahụ bụ nke e kwere ha na nkwa. A pụrụ ime nke a
n'ihi ọ nwụọla ọnwụ gbapụta ụmụ mmadụ site n'ikpe ọmụma nke mmehie ha mere
n'okpuru ọgbụgba ndụ nke mbụ ahụ.
16 Ọ bụrụ na mmadụ ekee ekpe mgbe ọ nọ ndụ, a na-ebu ụzọ achọpụta ma onye
kere ekpe ahụ ọ nwụọla. 17 Ekpe na-amalite ịdị ire mgbe onye kere ekpe ahụ nwụrụ,
n'ihi na ihe mmadụ kere n'ekpe anaghị adị ire mgbe onye kere ya ka dị ndụ. 18 Ọ
bụ nke a mere ọ bụladị ọgbụgba ndụ ochie ahụ jiri bụrụ ihe na-adịghị ire ruokwa
mgbe ọbara batara na ya. 19 Mgbe Mosis kwupụtachara ndị mmadụ iwu ahụ, o
weere ọbara ụmụ ehi na ewu, ya na mmiri, ogbo uhie na hisọp fesaa n'akwụkwọ
iwu ahụ nakwa n'elu mmadụ niile. 20 Na-ekwu, "Nke a bụ ọbara ọgbụgba ndụ ahụ
nke Chineke nyere unu iwu."† 21 N'otu aka ahụ, o fesakwara ọbara ahụ n'elu ụlọ
ikwu na n'elu ihe niile dị n'ụlọ ikwu, bụ ihe niile e ji efe ofufe. 22 N'ikwu eziokwu,
dịka iwu si dị, ọ dịghị ihe ọbụla nke a na-adịghị eji ọbara edo ọcha. Ọ bụrụ na a
wụsịghị ọbara, mgbaghara mmehie adịghị.

---

* **9:4** 9:4 Maọbụ, ihe ndị bekee na-akpọ insensi † **9:20** 9:20 Ọpụ 24:8

*Aja Kraịst chụrụ na-ewepụ mmehie*

23 O kwesiri ka e si otu a mee ka ihe ndị a yiri ihe ndị dị n'eluigwe dị ọcha, ma ihe
ndị dị n'eluigwe n'onwe ha kwesiri ka e nye ha aja dị mma karịa. 24 N'ihi na ọ bụghị
n'ebe nsọ nke mmadụ jiri aka wuo, nke yiri nke dị n'eluigwe, ka Kraịst banyere,
kama ọ banyere n'ime eluigwe n'onwe ya, bụ ebe ọ na-anọchite anya anyị ugbu a
n'ihu Chineke. 25 Ọ banyeghị na ya ka o were onwe ya chụọ aja ọtụtụ ugboro, dị
ka onyeisi nchụaja na-eji ọbara na-abụghị nke ya na-abanye n'Ebe ahụ Kachasị Nsọ
kwa afọ. 26 Ọ bụrụ na o si otu a dịrị, ọ gaara abụ onye na-ahụ ahụhụ mgbe kemgbe e
kere ụwa. Ma, dị ka o si dị, ọ bịara naanị otu ugboro n'ọgwụgwụ oge ndị a, iwezuga
mmehie site n'iji onwe ya chụọ aja. 27 Dị ka ọ bụ ihe a kwadooro mmadụ ọbụla ịnwụ
naanị otu ugboro, ma e mesịa ikpe esochie, 28 otu a ka e si chụọ Kraịst dị ka aja naanị
otu ugboro iwepụ mmehie ọtụtụ mmadụ. Ọ ga-abịaghachi nke ugboro abụọ, ma ọ
bụghị n'ihi ibu mmehie, kama ọ bụ n'ihi iweta nzọpụta nye ndị ahụ niile na-eche
ọbịbịa ya.

# 10

*Kraịst chụrụ aja naanị otu ugboro*

1 Iwu ahụ bụ naanị onyinyo na-egosi ihe ọma gaje ịbịa. N'ihi ya, o zughị oke n'onwe
ya isite n'aja ndị ahụ a na-achụ mgbe mgbe kwa afọ, mee ka ndị ahụ na-abịaru nso
ife ofufe zuo oke. 2 Ma ọ bụghị otu a, ọ bụ na a gabeghị akwụsị ịchụ aja ndị a? Ọ
bụrụ na a sachapụla njọ ndị na-efe ofufe na mbụ, akọnuche ha agaghịkwa ama ha
ikpe mmehie ha. 3 Ma nke bụ eziokwu bụ na ihe aja ndị a na-eme bụ ichetara ha
mmehie ha kwa afọ niile. 4 N'ihi na ọ bụ ihe na-apụghị ime eme na ọbara oke ehi
na nke ụmụ ewu dị iche iche ga-asachapụ mmehie.

5 Ya mere mgbe Kraịst bịara n'ụwa, ọ sịrị,

"Aja na onyinye abụghị ihe ị chọrọ
kama ị kwadoro ahụ nye m.
6 Aja nsure ọkụ na aja a chụrụ maka mmehie,
ha abụghị ihe dị ezi mma nye gị.
7 Mgbe ahụ ka m sịrị, 'Lee, abịala m Chineke m, ime ihe ị na-achọ.
Nke a bụkwa ihe e dere banyere m n'ime akwụkwọ mpịakọta.' "[*]

8 O kwuru na mbụ, "Aja dị iche iche, na onyinye, na aja nsure ọkụ na aja mmehie
adịghị atọ gị ụtọ, ha adịghịkwa amasị gị" (a chụrụ aja ndị a dịka iwu si dị). 9 O
kwukwara ọzọ, "Lee abịala m ime uche gị." Ọ kagburu aja nke mbụ ahụ ma were
aja nke abụọ dochie n'ọnọdụ ya. 10 Site n'ime uche Chineke, e mere ka anyị dị nsọ
site n'aja Jisọs Kraịst ji onwe ya chụọ naanị otu ugboro.

*Aja Kraịst chụrụ zubigara oke*

11 Onye nchụaja ọbụla na-eguzo kwa ụbọchị na-efe ofufe, na-achụkwa otu aja ahụ
ugboro ugboro, bụ aja nke na-enweghị ike ịsachapụ mmehie. 12 Ma mgbe Kraịst
chụchara naanị otu aja ahụ, otu ugboro n'ihi mmehie niile, ọ nọdụrụ ala n'aka nri
Chineke. 13 Ebe ahụ ka ọ nọ ugbu a na-eche ka ndị iro ya niile bụrụ ihe mgbakwasị
ụkwụ ya. 14 N'ihi na o sitela n'otu aja mee ka ndị ahụ a na-eme ka ha dịrị nsọ zuo
oke mgbe niile.

15 Mmụọ nsọ na-agbakwara anyị ama banyere ihe ndị a mgbe o buru ụzọ kwuo:
16 "Nke a bụ ọgbụgba ndụ ahụ mụ na ha ga-agba
mgbe oge ndị ahụ gasịrị, ka Onyenwe anyị kwuru.
Aga m etinye iwu m n'obi ha.
Aga m edekwasịkwa ha n'uche ha."[†]

---

[*] **10:7** 10:7 Abụ 40:6-8 [†] **10:16** 10:16 Jer 31:33

[17] O kwukwara sị,
“Agaghị m echetakwa mmehie ha
na mmebi iwu ha niile ọzọ.”‡
[18] Ya mere, ebe ọ bụ na a gbagharala mmehie ndị a, ọ dịkwaghị mkpa ịchụ ajọ ọzọ
maka mgbaghara mmehie.

### *Ọkpụkpọ oku banyere inwe mkpebi*

[19] N’ihi nke a, ụmụnna m, ebe anyị nwere nkwuwa okwu ịbanye n’Ebe Kachasị
Nsọ site n’ọbara Jisọs, [20] bụ ụzọ ọhụrụ nke o meghere nye anyị, nke dị ọhụrụ ma
dịkwa ndụ site n’akwa mgbochi ahụ nke bụ ahụ ya, [21] ebe anyị nwekwara onye
nchụaja dị ukwuu, nke na-elekọta ụlọ Chineke, [22] ka anyị bịaruo nso site n’obi dị
ọcha, na ntụkwasị obi zuru ezu nke okwukwe, ka anyị bụrụ ndị a sachara obi ha
site n’akọnuche rụrụ arụ, ka anyị bụrụkwa ndị e ji mmiri dị ezigbo ọcha sachaa ahụ
anyị. [23] Ya mere, ka anyị jidesie nkwupụta nke olileanya anyị ike, n’ihi na onye ahụ
kwere nkwa kwesiri ntụkwasị obi. [24] Ka anyị tụgharịa uche otu anyị ga-esi kpalie ibe
anyị n’ịhụnanya na ezi ọrụ. [25] Ka anyị gharakwa ichefu nzukọ anyị dị ka ụfọdụ na-
eme, kama ka anyị na-agbarịta onwe anyị ume, karịsịa, ugbu a ụbọchị ahụ na-abịa
nso.

### *Ịdọ aka na ntị banyere mmehie*

[26] Ọ bụrụ na anyị akpachapụ anya na-anọgide na mmehie mgbe anyị matachara
eziokwu ahụ, o nwekwaghị aja ọzọ fọdụrụ a ga-achụ banyere mmehie niile. [27] Kama
naanị ikpe dị oke egwu, nke ga-adị ka ọkụ na-ere ike ike, nke ga-erechapụ ndị niile
bụ ndị iro. [28] Onye ọbụla dara iwu Mosis, na-anwụ na-enweghị ebere, site n’akaebe
mmadụ abụọ maọbụ atọ gbara megide ya. [29] Ọ bụrụ na ọ dị otu a, olee ụdị ahụhụ
unu chere na a ga-enye onye leliri Ọkpara Chineke, gịnị ka a ga-eme onye merụrụ
ọbara nke ọgbụgba ndụ nke e ji doo ya nsọ, na onye kpasuru mmụọ nke amara ahụ
iwe? [30] N’ihi na anyị maa onye ahụ kwurunụ, “Ịbọ ọbọ dịrị m, aga m akwụghachi,”§
ọzọkwa, “Onyenwe anyị ga-ekpe ndị ya ikpe.”* [31] Ọ bụ ihe dị oke egwu ịdaba n’aka
Chineke dị ndụ.
[32] Ma chetakwanụ ụbọchị mbụ ndị ahụ, mgbe unu natachara ìhè, unu
nọgidesikwara ike n’agbanyeghị oke ahụhụ niile unu tara. [33] Mgbe ụfọdụ, a kpariri
unu n’ihu ọha, unu natakwara mkpagbu. N’oge ọzọ, unu soro ndị e si otu a mesoo
mmeso. [34] Unu were obi ebere soro ndị nọ n’ụlọ mkpọrọ taa ahụhụ, unu jikwa ọṅụ
nabata ya mgbe a nakọrọchara unu ihe niile unu nwere, n’ihi na unu onwe unu
matara na unu nwere ihe ka mma, nke na-anọgide. [35] Ya mere, unu ahapụkwala
ntụkwasị obi unu ahụ, n’ihi na ọ na-eweta ụgwọ ọrụ dị ukwuu.
[36] N’ihi ya, unu kwesiri inwe ndidi ka ọ ga-abụ na mgbe unu mere uche Chineke
unu ga-anata ihe e kwere na nkwa. [37] N’ihi,
“Na oge na-adịghị anya,
onye ahụ nke na-abịa ga-abịa
ọ gaghị anọkwa ọdụ.”
[38] Ma,
“Onye ezi omume nkem ga-esite n’okwukwe dị ndụ.
Mkpụrụobi m agaghị e nwee mmasị
n’ime onye ọbụla na-alaghachi azụ.”†
[39] Ma anyị abụghị ndị na-alaghachi azụ si otu a laa n’iyi. Kama anyị dịnyere ndị
nwere okwukwe, bụrụkwa ndị a zọpụtara.

---

‡ **10:17** 10:17 Jer 31:34 § **10:30** 10:30 Dit 32:35 * **10:30** 10:30 Dit 32:36; Abụ 135:14 † **10:38** 10:38 Hab 2:3,4

# 11

*Okwukwe*

[1] Ugbu a, okwukwe bụ inwe obi ike banyere ihe ndị a na-ele anya ha na inwe
owuweanya banyere ihe a na-ahụbeghị anya. [2] N'ihi na ọ bụ site n'okwukwe ka e ji
gbaara ndị ochie ama.

[3] Ọ bụ site n'okwukwe ka anyị ji ghọta na e mere ụwa na ihe niile anyị na-ahụ
anya site n'okwu Chineke. N'ihi nke a, ihe anyị na-ahụ anya ugbu a bụ ihe e mere
site n'ihe anyị na-adịghị ahụ anya.

*Ebel*

[4] Ebel sitere n'okwukwe chụọ aja dị mma nye Chineke karịa aja nke Ken chụrụ;
nke e si na ya gụnye ya n'onye ezi omume. Chineke kwuru okwu banyere onyinye
ya. Ma ugbu a, ọ bụ ezie na ọ nwụọlarị ma ọ ka na-ekwu okwu site n'okwukwe.

[5] E sitere n'okwukwe kupu Enọk nke pụtara na ọ nwụghị anwụ, a hụkwaghị ya
ọzọ n'ihi na Chineke akpọrọla ya.* Ma tupu e kuru ya, e mere ka anyị mara na ọ
mere ihe masịrị Chineke. [6] Ọ bụ ihe siri ike mmadụ ime ihe ga-atọ ya ụtọ ma ọ bụrụ
na onye ahụ enweghị okwukwe. N'ihi na onye na-abịakwute Chineke nso aghaghị
ikwe na ọ dị. Na ọ bụkwa onye na-akwụghachi onye ọbụla na-achọsi ya ike ụgwọ.

*Noa*

[7] Site n'okwukwe, Noa, onye nke a dọrọ aka na ntị gbasara ihe ndị a na-ahụbeghị
anya, gere ntị ma ruo ụgbọ mmiri maka nzọpụta nke ezinaụlọ ya. Site na nke a, ọ
mara ụwa ikpe, ma bụrụ onye nketa nke ezi omume sitere n'okwukwe.

*Ebraham na Sera*

[8] Site n'okwukwe, Ebraham rubere isi mgbe a kpọrọ ya ka ọ hapụ, gaa n'ala ahụ
nke ọ ga-enweta dịka ihe nketa. Ọ gawara n'amaghị ebe ọ na-aga. [9] Okwukwe ka
o jiri biri dịka ọbịa n'ala ahụ e kwere ya na nkwa, na-ebi n'ụlọ ikwu, ya na Aịzik
na Jekọb, bụ ndị e kwere ya na ha otu nkwa ahụ. [10] N'ihi na ọ na-ele anya ala ahụ
nke nwere ntọala, nke onye tụrụ atụmatụ ya ma wuokwa ya bụ Chineke. [11] Site
n'okwukwe ọ natara ike ọmụmụ. Ọ bụ ezie na ọ gafeela oge ịmụta nwa, ọ bụladị
Sera n'onwe ya bụ nwanyị aga, n'ihi na ọ gụrụ onye ahụ kwere ya nkwa dị ka onye
kwesiri ntụkwasị obi. [12] Ya mere site n'otu onye a, onye a gụrụ dị ka onye nwụrụ
anwụ ka e si nweta ụmụ ndị ọnụọgụgụ ha dị ka kpakpando dị na mbara eluigwe, dị
ka aja dị n'akụkụ osimiri.

[13] Ndị a niile nwere okwukwe nwụrụ na-anataghị nkwa ahụ, ma site n'ebe dị anya
ha hụrụ ma nabatakwa nkwa ndị a. Ha kwupụtakwara na ha bụ ndị ọbịa na ndị
mba ọzọ n'ụwa. [14] Ndị na-ekwu otu a na-ezipụta na ha na-ele anya obodo nke aka
ha. [15] Ọ bụrụ na ha na-eche echiche banyere obodo nke ha hapụrụ, ha gaara enwe
ohere ịlaghachi azụ. [16] Ma otu ọ dị, ha na-elesi anya ike maka obodo ahụ ka mma,
bụ nke dị n'eluigwe. Ya mere, ọ dịghị eme Chineke ihere ka a kpọ ya Chineke ha,
n'ihi na o dozielara ha ebe obibi.

[17] Site n'okwukwe Ebraham ji Aịzik chụọ aja mgbe a nwalere ya. Onye ahụ natara
ihe ndị ahụ e kwere nkwa, dị njikere iji otu nwa ahụ o nwere chụọ aja, [18] ọ bụ ezie na
Chineke kwuru maka ya, "Ọ bụ site n'Aịzik ka a ga-akpọ mkpụrụ gị aha."† [19] Ebraham
chere na Chineke pụrụ ime ka onye nwụrụ anwụ site n'ọnwụ bilie, dịka ihe ịma atụ
otu ahụ ka o mekwara, n'ihi na ọ nataghachikwara ya.

[20] Ọ bụ okwukwe ka Aịzik jiri nye Jekọb na Ịsọ ngọzị banyere ihe dị n'ihu.

*Jekọb na Josef*

* **11:5** 11:5 Jen 5:24 † **11:18** 11:18 Jen 21:12

21 Ọ bụ okwukwe ka Jekọb ji gọzie ụmụ Josef n'otu n'otu tupu ọ nwụọ. Ọ kpọrọ
isiala dịka ọ dabere n'elu mkpanaka ya.
22 N'ọgwụgwụ ndụ ya, Josef sitere n'okwukwe kwuo banyere ọpụpụ ụmụ Izrel ma
nyekwa ntụziaka banyere olili ọkpụkpụ ya.

*Mosis*

23 Okwukwe ka nne na nna Mosis ji zobe ya ọnwa atọ mgbe a mụrụ ya, n'ihi na ha
hụrụ na ọ bụ nwa mara mma. Ha atụkwaghị egwu iwu eze ala Ijipt bụ Fero nyere.
24 Site n'okwukwe, Mosis e kweghị aza nwa ada Fero mgbe o tolitere. 25 Ọ họọrọ
isoro ụmụ Chineke keta oke na mmegbu ha karịa inwe aṅụrị nke mmehie. 26 O kpebiri
na ọ bụ ihe karịchara mma ịhụ ahụhụ n'ihi Kraịst, kama inweju akụ niile nke Ijipt
afọ. N'ihi na o nwere olileanya maka ụgwọ ọrụ dị n'ihu. 27 Okwukwe ka ọ ji hapụ
Ijipt. Ọ tụghị egwu iwe eze, ma ọ tachịrị obi ya dịka ọ hụrụ onye ahụ a na-apụghị ịhụ
anya. 28 O sitekwara n'okwukwe debe Mmemme Ngabiga. O fesara ọbara ka onye
mbibi nke ụmụ nwoke mbụ, hapụ ịmetụ ụmụ nwoke mbụ ndị Izrel aka.
29 Ha gafere Osimiri Uhie site n'okwukwe dị ka a ga-asị na ọ bụ ala efu. Ma mgbe
ndị Ijipt nwara ime nke a, mmiri lomiri ha niile.

*Rehab*

30 Mgbidi Jeriko dara mgbe ha jiri okwukwe gaa ya gburugburu ụbọchị asaa.
31 Site n'okwukwe, Rehab nwanyị akwụna esoghị ndị nnupu isi laa n'iyi n'ihi na ọ
nabatara ndị bịara inyochapụta obodo ahụ n'udo.

*Ọtụtụ ndị okwukwe ọzọ*

32 Olee ihe ọzọ m ga-ekwu? Oge ga-agwụnahụ m ikwu gbasara Gidiọn, na Barak, na
Samsin, na Jefta, na Devid, na Samuel na ndị amụma, 33 ndị sitere n'okwukwe merie
ọtụtụ alaeze, kpeekwa ikpe nkwụmọtọ, natakwa nkwa e kwere, ndị mechiri ọnụ
ọdụm. 34 Ha menyụrụ ọkụ dị egwu, gbanarị mma agha, nweta ike site n'adịghị ike.
Ha ghọkwara ndị dị ike n'agha, chụlaa usuu ndị agha ndị mba ọzọ. 35 Ụmụ nwanyị
natara ndị ha nwụrụ anwụ, site na mbilite n'ọnwụ. Ndị ọzọ naara ntaramahụhụ,
ha jụrụ ịnata mgbapụta ka ha nwee ike nata mbilite n'ọnwụ ka mma. 36 E ji ụfọdụ
mere ihe ọchị, tiekwa ha ihe otiti, ọ bụladị ike ha agbụ na ịtụ ha mkpọrọ. 37 A tụrụ
ụfọdụ nkume, kwọbie ụfọdụ abụọ. E ji mma agha gbuo ụfọdụ. Ụfọdụ yi akpụkpọ
ewu na akpụkpọ atụrụ jegharịa. Ụfọdụ bụkwa ndị dara ụkpa. A kpagburu ụfọdụ,
ma mejọọkwa ndị ọzọ. 38 Ha wagharịrị n'ọzara na n'ugwu, n'ọgba nkume na n'ọnụ
ala. N'anya ụwa, a gụrụ ha n'ihe efu.
39 A gbaara ezigbo ama n'isi ndị a niile n'ihi okwukwe ha, ma ha anataghị ihe ahụ
e kwere ha na nkwa. 40 Otu ọ dị, Chineke akwadoberela anyị ihe kaara anyị mma, ka
a ghara ime ka ha zuo oke ma e wepụ anyị.

# 12

*Kraịst bụ ihe nlere anya nye anyị*

1 Ya mere, anyị nwere oke igwe ndị ama dị otu a gbara anyị gburugburu, n'ihi nke
a, ka anyị wepụ ihe ọbụla nke na-adọghachi anyị azụ dịka ibu arọ, ya na mmehie
niile nọdebere anyị nsọ karịa. Ka anyị werekwa ntachiobi gbaa ọsọ nke chere anyị
n'ihu. 2 Ka anyị na-elegide Jisọs anya, onye mbụ na onye na-eme ka okwukwe anyị
zuo oke, onye jiri n'ihi ọṅụ e debere n'ihu ya, die ahụhụ na ihe ihere nke obe, ọ nọdụ
n'aka nri nke ocheeze Chineke. 3 Tuleenụ n'obi unu gbasara onye ahụ tachịrị obi
na nkwụgide sitere n'aka ndị mmehie, ka ike ghara ịgwụ unu maọbụ obi unu adaa
mba.

*Ụzọ Chineke si azụ ụmụ ya*

4 N'ime ọgụ nke unu na-alụso mmehie, unu eguzogideghị ruo n'ọnọdụ nke iwufu
ọbara unu. 5 Unu echefuola okwu nkasiobi ahụ, nke e jiri gbaa unu ume dịka ụmụ,
"Nwa m ewela ịdọ aka na ntị nke Onyenwe anyị dịka ihe dị mfe, mgbe ọ na-ata gị
ahụhụ
maọbụ daa mba mgbe ọ na-abara gị mba.
6 N'ihi na onye Onyenwe anyị hụrụ n'anya ka ọ na-abara mba.
Ọ bụkwa onye ọ nabatara dị ka nwa ya, ka ọ na-apịa ụtarị."*
7 Tachie obi, mụta ihe site n'ahụhụ. N'ihi na Chineke na-emeso unu mmeso dị ka
nna ọbụla hụrụ ụmụ ya n'anya si emeso ha mmeso. Nwata ọbụla adịghị nke nna
ya na-adịghị abara mba. 8 Ya mere ọ bụrụ na a dịghị abara unu mba dịka esi bara
ndị ọzọ, unu abụghị ụmụ kama unu bụ ndị amụtara n'ịkwa iko. 9 Dịka ịma atụ, ndị
bụ nna anyị site n'anụ ahụ na-apịa anyị ụtarị mgbe ọbụla anyị nupuru isi. Ma nke
a adịghị egbochi anyị ịsọpụrụ ha. O kwesikwaghị ka anyị rubere Nna nke mmụọ isi
karịa ma dịkwa ndụ? Anyị mee nke a, anyị ga-adị ndụ. 10 Ha na-azụ anyị nwa oge
nta dị ka ha si tụpụta n'uche ha. Ma ọ na-azụ anyị n'ihi ọdịmma anyị. Ọ na-achọ ka
anyị keta oke n'ịdị nsọ ya. 11 Mgbe ọbụla a na-ezi anyị ihe site n'inye anyị ahụhụ, ọ
na-abụrụ anyị ihe mwute n'oge ahụ, ọ bụghịkwa ihe ọṅụ. Ma e mesịa, ọ na-eweta
udo na ndụ ezi omume nye ndụ ahụ azụrụ n'ime ya.
12 Ya mere, setịpụ aka gị ahụ ike gwụrụ. Guzosie ike n'ụkwụ gị ahụ na-ama jijiji.
13 Debenụ ụkwụ unu n'ụzọ ziri ezi,† ka ụkwụ na-adịghị ike ghara ịda ngwụrọ, kama
ka o nwe ọgwụgwọ.

### *Ndụmọdụ na ịdọ aka na ntị*

14 Gbalịsie ike mee ka gị na mmadụ niile biri n'udo ya na ndụ dị nsọ, e wepụ ya,
o nweghị onye pụrụ ịhụ Onyenwe anyị. 15 Hụkwanụ na o nweghị onye ga-ahapụ
inweta amara Chineke, na o nwekwaghị onye ga-epupụta dịka mgbọrọgwụ ilu weta
nsogbu a ga-esi n'ime ya merụọ ọtụtụ mmadụ. 16 Hụnụ na o nweghị onye na-ebi
ndụ ruru unyi maọbụ onye nke na-enweghị nsọpụrụ dịka Ịsọ, onye nke rere ọnọdụ
ọmụmụ ya n'ihi otu efere nri. 17 Dịka unu maara, o mechara chọọ ka o keta ngọzị
ahụ, ma a jụrụ ya n'ihi na o nweghị ohere nchegharị. Ọ bụ ezie na o jiri anya mmiri
chọsie ya ike.

### *Ugwu nke Ụjọ na Ugwu nke Ọṅụ*

18 Unu abịarughị n'ugwu nke a pụrụ ịmetụ aka, nke na-ere ọkụ, na ọchịchịrị na
itiri na oke ifufe, 19 na ụda opi ike, maọbụ olu na-ekwu okwu, nke ndị nụrụ ya rịọrọ
ka ọ kwụsị ịgwa ha. 20 N'ihi na ha enweghị ike ịnagide ihe e nyere n'iwu, "A sịkwarị
na anụmanụ ọbụla emetụ ugwu ahụ ahụ, a ga-eji nkume tugbuo ya."‡ 21 N'ezie, ihe
ahụ anya hụrụ dị oke egwu na Mosis sịrị, "Ana m ama jijiji n'ihi ụjọ."§
22 Ma unu abịaruola n'ugwu Zayọn, bụ obodo Chineke dị ndụ, Jerusalem nke
eluigwe ahụ. Unu abịakwutela puku kwụrụ puku ndị mmụọ ozi a na-apụghị ịgụta
ọnụ zukọrọ n'ọṅụ. 23 Unu abịala n'ụlọ nzukọ nke onye ahụ ebu ụzọ mụpụta bụ
ndị e dere aha ha n'eluigwe. Unu abịakwutela Chineke, onye ga-ekpe mmadụ niile
ikpe, unu abịakwutela mmụọ ndị ezi omume e mere ka ha bụrụ ndị zuruoke. 24 Unu
abịakwutela Jisọs onye ogbugbo nke ọgbụgba ndụ ọhụrụ, bịakwutekwa ọbara e
fesara nke na-ekwu okwu dị mma karịa nke ọbara Ebel kwuru.
25 Gbalịsienụ ike ihu na unu ajụghị onye ahụ na-ekwu okwu. N'ihi na ọ bụrụ na
ha agbanarịghị ya, bụ onye ahụ dọrọ ha aka na ntị n'elu ụwa, anyị agaghị agbanarị
onye ahụ si n'eluigwe na-adọ anyị aka na ntị. 26 N'oge ahụ, olu ya mere ka ụwa ma
jijiji, ma ugbu a, ọ kwela nkwa, sị, "Otu mgbe ọzọ fọdụrụ, ọ bụghị naanị ụwa ka m

* **12:6** 12:6 Ilu 3:11,12 † **12:13** 12:13 Ilu 4:26 ‡ **12:20** 12:20 Ọpụ 19:12,13 § **12:21** 12:21 Dit 9:19

ga-eme ka ọ maa jijiji kama aga m emekwa ka eluigwe maa jijiji."* 27 Okwu a bụ,
"Otu mgbe ọzọ fọdụrụ," na-egosi mwepụ nke ihe na-ama jijiji dịka ihe e kere eke, iji
hụ na nke na-anaghị ama jijiji ga-adị.
28 Ya mere, ebe anyị na-anata alaeze nke na-apụghị ịgbanwe, ka anyị jiri obi ekele,
egwu na nsọpụrụ fee Chineke ofufe n'ụzọ ọ ga-anabata. 29 N'ihi na Chineke anyị bụ
ọkụ na-erepịa erepịa.†

# 13

*Ihe ga-atọ Chineke ụtọ*

1 Ka ịhụnanya unu nwere n'etiti unu na-adịgide. 2 Unu echefula ịnabata ndị ọbịa,
n'ihi na ụfọdụ ndị mere nke a lekọtara ndị mmụọ ozi ma ha amataghị. 3 Chetanụ
ndị nọ n'ụlọ mkpọrọ dị ka a ga-asị na unu so ha nọdụ n'ụlọ mkpọrọ. Chetakwanụ
ndị a na-ata ahụhụ, dịka a ga-asị na unu onwe unu so ha na-ahụ ahụhụ n'ahụ unu.
4 Ka ọlụlụ dị na nwunye bụrụ ihe onye ọbụla na-akwanyere ugwu, ka ihe ndina
unu bụrụkwa nke a na-emerụghị emerụ. N'ihi na Chineke ga-ekpe ndị na-akwa iko
na ndị ụrụ ikpe. 5 Debenụ ndụ unu pụọ n'ịhụnanya nke ego, ka afọ ju unu n'ihe unu
nwere, n'ihi na o kwuola,

"Agaghị m ahapụ gị.

O nwekwaghị mgbe m ga-eji gbakụta gị azụ."*

6 Ya mere anyị pụrụ iji obi ike na-atụghị egwu kwuo,

"Onyenwe anyị bụ onye na-enyere m aka. Agaghị m atụ egwu.

Gịnị ka mmadụ pụrụ ime m?"†

7 Chetanụ ndịisi unu, ndị gwara unu okwu Chineke. Tuleenụ otu ndụ siri dị, na-
eṅomikwanụ okwukwe ha. 8 Otu Jisọs Kraịst dị ụnyaahụ, ka ọ dị taa, otu a ka ọ
ga-adịgidekwa ruo mgbe ebighị ebi.
9 Unu ekwela ka e jiri ozizi ọhụrụ nke dịkwa iche duhie unu. N'ihi na ọ bụ ihe dị
mma ka e were amara mee ka obi sie ike, ọ bụghị site n'idebe iwu banyere nri nke
na-enweghị uru ọ bara ndị na-edebe ya. 10 Anyị nwere ebe ịchụ aja, ebe ndị niile
na-eje ozi ha n'ụlọ ikwu a enweghị ike iri aja a chụrụ n'elu ya.
11 Onyeisi nchụaja na-ewebata ọbara ụmụ anụ ndị ahụ n'Ebe Kachasị Nsọ dịka aja
maka mmehie, ma a na-erepịa anụ ahụ ha ọkụ na mpụga ụlọ ikwu. 12 N'otu aka ahụ,
Jisọs n'onwe ya tara ahụhụ na mpụga ọnụ ụzọ ama obodo ka o jiri ọbara ya mee ka
ndị nke ya dị nsọ. 13 Ya mere, ka anyị gakwuru ya n'azụ ụlọ ikwu soro ya die mkparị
o diri. 14 N'ihi na ụwa abụghị ụlọ anyị, ma anyị na-ele anya obodo nke gaje ịbịa.
15 Site na ya, ka anyị na-achụrụ Chineke aja otuto mgbe niile, nke bụ mkpụrụ
egbugbere ọnụ nke na-ekwupụta aha ya. 16 Unu echefula ime ihe ọma, meekwanụ
ka ndị ọzọ soro unu kekọọ ihe unu nwere. Nke a bụ ụdị aja na-atọ Chineke ụtọ.
17 Ka unu na-ekwenyere ndị ndu unu, dokwaanụ onwe unu n'okpuru ha. N'ihi na
ọrụ ha bụ ịhụ maka mkpụrụobi unu dịka ndị ga-aza azịza. Meenụ nke a ka ha were
ọṅụ na-eje ozi ha, ma ọ bụghị site n'obi mwute n'ihi na nke a agaghị abara unu uru.
18 Na-ekperenụ anyị ekpere, n'ihi na o doro anyị anya na anyị nwere akọnuche dị
ọcha na-achọkwa ibi ndụ nwere ugwu n'ụzọ niile. 19 Ana m arịọsị unu ya ike, ka
unu mee nke a, ka m nwee ike ịlọghachikwute unu ọsịịsọ.

*Ekele na ekpere ikpeazụ*

20 Ugbu a ka Chineke nke udo, onye ahụ sitere n'ọbara ọgbụgba ndụ ebighị ebi
ahụ kpọghachite Onyenwe anyị Jisọs, Onye ọzụzụ atụrụ ukwuu ahụ, site n'ọnwụ,
21 mee ka unu zuo oke n'ezi ihe ọma niile ọbụla, nke ga-enyere unu aka ime ihe ọ

---

* **12:26** 12:26 Heg 2:6 † **12:29** 12:29 Dit 4:24 * **13:5** 13:5 Dit 31:6 † **13:6** 13:6 Abụ 118:6,7

na-achọ. Ka ọ rụpụta n'etiti anyị ihe ndị ahụ niile na-atọ ya ụtọ site na Jisọs Kraịst, onye otuto niile dịrị ruo mgbe niile ebighị ebi. Amen.

22 Ụmụnna m, arịọọ m unu, ka unu were ntachiobi nụrụ okwu agbamume m gwara unu n'ime akwụkwọ a na-etoghị ogologo.

23 Ana m eme ka unu mata na nwanna anyị Timoti esitela n'ụlọ mkpọrọ pụta. Mụ
na ya ga-esoro bịa leta unu ma ọ bụrụ na ọ bịa n'ebe a na mgbe na-adịghị anya.

24 Keleerenụ m ndịisi unu niile na ndị nsọ niile.
Ndị si Itali na-ezitere unu ekele ha.

25 Ka amara dịnyere unu niile.

# Jemis

1 Jemis, nwaodibo Chineke na nke Onyenwe anyị Jisọs Kraịst,

Na-edegara agbụrụ iri na abụọ ndị gbasara n’elu ụwa niile akwụkwọ ozi a:

Ndeewonụ!

### *Ọnwụnwa na nsogbu*

2 Ụmụnna m, ka obi unu jupụta n’ọṅụ mgbe ọbụla ọnwụnwa dị iche iche gbara
unu gburugburu. 3 N’ihi na mgbe a na-anwa okwukwe unu ọnwụnwa, ntachiobi unu
na-enwe ohere ito eto. 4 Ka nguzosike unu pụta ìhè, ka unu zuo oke ma nwezuokwa
ihe niile, na-adịghị ihe ọbụla nke ga-akọ unu. 5 Ọ bụrụ na ọ dị onye na-enweghị
amamihe, ya rịọ Chineke, onye na-enye onye ọbụla rịọrọ ya amamihe n’afọ ofufu
na-ataghịkwa onye ọbụla ụta, a ga-ewerekwa ya nye ya. 6 Ma rịọọ n’okwukwe na-
enweghị obi abụọ, n’ihi na onye na-enwe obi abụọ dị ka ebili mmiri oke osimiri
mgbe ikuku na-ebugharị ya. 7 Onye dị otu ahụ ekwesighị ile anya na ọ ga-esite n’aka
Onyenwe anyị nata ihe ọbụla. 8 N’ihi na mmadụ dị otu a bụ onye ihu abụọ, onye
na-adịghị eguzo n’otu ebe n’ihe ọbụla ọ na-eme.

9 Ka nwanna ọbụla bụ ogbenye ṅụrịa ọṅụ, mgbe ọbụla e weliri ya elu. 10 Ka onye
bụ ọgaranya mgbe a na-eme ka ọ nọdụ ya dị ala, n’ihi na ndị bara ụba ga-akpọnwụ
dị ka okoko osisi. 11 N’ihi na mgbe ọbụla anwụ waliri chasie ike, wepụta okpomọkụ,
ọ na-eme ka ahịhịa kpọnwụọ, ka okoko osisi daa n’ala, mma ya agwụsịakwa. N’otu
aka ahụ, onye ahụ bara ụba ga-akpọnwụ ọ bụladị mgbe ọ na-ejegharị n’ime ije ozi
ya.

12 Ngọzị na-adịrị onye ahụ nke na-anọgide na-adịghị ada mba n’oge ọnwụnwa.
N’ihi na mgbe oge ọnwụnwa ahụ gasịrị, ọ ga-anata ụgwọ ọrụ, nke bụ okpueze ndụ,
nke Chineke kwere nkwa inye ndị niile hụrụ ya n’anya.

13 Ka onye ọbụla hapụ ị sị, mgbe a na-anwa ya, “Ọ bụ Chineke na-anwa m ọnwụnwa
a.” N’ihi na ọ dịghị mgbe a pụrụ ịnwa Chineke ka o mee ihe ọjọọ, ọ dịkwaghị anwa
mmadụ ọbụla ka o mee ihe ọjọọ. 14 Kama ọnwụnwa na-abịara mmadụ site n’ọchịchọ
nke obi ya. Ọ bụkwa ọchịchọ ọjọọ nke mmadụ na-arafu ya, dọkpụfuo ya. 15 Ọchịchọ
ahụ, mgbe ha bara ụba n’ime obi, na-eduba mmadụ na mmehie. Mgbe mmehie bara
ụba, ọ na-eduba n’ọnwụ.

16 Ekwela ka onye ọbụla duhie unu ụmụnna m. 17 Onyinye ọbụla dị mma, na nke
zuruoke na-esite n’eluigwe abịa. Ọ na-esite n’ebe Nna nke ìhè niile onye na-adịghị
agbanwe agbanwe, ọ naghị ezonarị ụmụ mmadụ ihu ya. 18 N’ihi imezu nzube ya, o
sitere n’okwu ya bụ eziokwu mụọ anyị. O mekwara nke a ka anyị bụrụ ụmụ mbụ
nke ihe o kere eke.

### *Ịṅa ntị na ime ihe anyị nụrụ*

19 Unu aghaghị icheta nke a ụmụnna m ndị m hụrụ n’anya. Ka onye ọbụla nwee
ntị na-anụ ihe ọsịịsọ, na ire dị arọ ikwu okwu, ma bụrụkwa onye iwe na-adịghị ewe
ọsịịsọ. 20 N’ihi na iwe nke mmadụ anaghị arụpụta ezi omume nke Chineke. 21 Ya
mere, wezuganụ ụzọ rụrụ arụ niile na ihe ọbụla dị njọ nke fọdụrụ n’ime ndụ unu.
Ma jirinụ obi umeala nabataranụ onwe unu okwu ndụ ahụ nke a kụrụ n’obi unu,
nke nwere ike ịzọpụta mkpụrụobi unu.

22 Unu abụla ndị na-eji ntị ha na-anụ okwu ndụ ahụ naanị, na-arafu onwe ha,
kama bụrụnụ ndị na-eme ihe okwu ahụ kwuru. 23 N'ihi na onye ọbụla na-ege ntị
n'okwu ọbụla ma hapụ iji ihe ọ nụrụ mee ihe, dị ka nwoke na-ele ihu ya n'enyo.
24 O lesịa onwe ya pụọ, o chefuo ihe ihu ya yiri ma nwa oge nta gasịa. 25 Ma nwoke
ahụ nọgidesịrị ike na-ele anya n'ime iwu ahụ zuruoke, nke na-eme ka mmadụ nwere
onwe ya, ee, nwoke ahụ na-aga n'ihu ile na ime ihe iwu ahụ kwuru, hapụkwa ichefu
ya, ka a ga-agọzi n'ihe niile ọ na-eme.
26 Ọ bụrụ na mmadụ ọbụla echee na ya bụ onye na-ekpere Chineke ma hapụ ijide
ire ya aka maọbụ ịkwa ire ya nga, onye dị otu a na-arafu onwe ya, okpukpe Chineke ya
bụkwa ihe na-abaghị uru. 27 Ezi okpukpe Chineke, nke Chineke Nna anyị na-anabata
dịka okpukpe dị ọcha, na nke na-enweghị mmerụ, bụ nke a, ilekọta ndị na-enweghị
nne na nna, na ndị di ha nwụrụ n'ime nsogbu ha na idebe onwe anyị n'enweghị
ntụpọ site n'aka ndị ụwa.

# 2

*Ile mmadụ anya n'ihu*
1 Ụmụnna m, dịka ndị kweere n'Onyenwe anyị Jisọs Kraịst, onye dị ebube, ka
unu hapụ ile mmadụ anya n'ihu. 2 Ọ bụrụ na onye ọgaranya yi uwe mara mma,
yikwara mgbaaka ọlaedo na mkpịsịaka ya, abata n'ụlọ nzukọ unu, ọ bụrụkwa na
nwa ogbenye abata nke yi uwe na-adịghị ọcha, 3 ọ bụrụ na unu elee onye ọgaranya
ahụ yi uwe mara mma anya sị ya, "Bịa nọdụ n'otu oche a e debere iche n'ihi gị," ma
unu asị onye ogbenye ahụ, "Di anyị, guzo n'ebe ahụ," maọbụ "Bịa nọdụ ala n'akụkụ
ebe a ụkwụ m dị," 4 ọ bụ na unu akpabeghị oke n'etiti onwe unu, bụrụkwa ndị ji ile
anya n'ihu na obi ọjọọ na-ekpe ikpe?
5 Geenụ ntị ka m gwa unu ụmụnna m, ọ bụ na unu amataghị na Chineke ahọpụtala
ndị ahụ ụwa gụrụ dịka ndị ogbenye, mee ka ha bụrụ ọgaranya site n'okwukwe ha,
ka ha ketakwa alaeze ahụ o kwere nkwa inye ndị hụrụ ya n'anya? 6 Ma gịnị ka
unu na-eme? Unu na-akparị ndị ogbenye! Ọ bụghị ndị ọgaranya na-emegbu unu?
Ọ bụkwaghị ha bụ ndị na-adọkpụgharị unu aga n'ụlọikpe? 7 Ọ bụghị ha bụ ndị
na-ekwulu aha ọma ahụ nke a gụrụ unu?
8 Ọ bụrụ na unu na-edebezuo iwu nke eze anyị dịka e dere ya n'Akwụkwọ Nsọ,
"Hụnụ ndị agbataobi unu n'anya dịka unu onwe unu,"* unu na-eme ihe ziri ezi. 9 Ma
ọ bụrụ na unu ele mmadụ anya n'ihu, unu na-eme mmehie. N'ebe iwu dịkwa, unu
bụ ndị na-emebi iwu. 10 N'ihi na onye ọbụla nke na-edebe iwu ahụ niile ma sụọ
ngọngọ n'otu, a bụrụla onye ikpe iwu ahụ niile maara. 11 N'ihi na onye ahụ sịrị,
"Akwala iko,"† bụkwa onye sịrị, "Egbula mmadụ."‡ Ya mere, ọ bụrụ na ị kwaghị iko
ma i gburu mmadụ, ị bụ onye na-emebi iwu.
12 Ya mere, na-ekwunu okwu, ma na-ebikwanụ ndụ dị ka ndị a ga-ekpe ikpe site
n'iwu ahụ na-eme ka mmadụ nwere onwe ha. 13 N'ihi na agaghị emere onye ọbụla
ebere nke na-adịghị emere onye ọzọ ebere. N'ihi na ebere na-adị ukwuu karịa ikpe
ọmụma ya.

*Okwukwe na omume*
14 Olee uru ọ bara ụmụnna m, na mmadụ sịrị, enwere m okwukwe, ma okwukwe
ahụ apụtaghị ihe n'ọrụ ya? Ụdị okwukwe ahụ ọ pụrụ ịzọpụta ya? 15 Ọ bụrụ na otu
nwanne anyị nwoke maọbụ nwanne anyị nwanyị yi nkịrịnka akwa, ọ bụrụkwa na o
nweghị ihe oriri ga-ezuru ya n'ụbọchị, 16 ma otu onye n'ime unu asị ha, "Laa n'udo,
kpuchiekwa onwe gị nke ọma, rijuokwa afọ," n'enyeghị ya ihe dị mkpa maka ahụ

* **2:8** 2:8 Lev 19:18 † **2:11** 2:11 Ọpụ 20:14; Dit 5:18 ‡ **2:11** 2:11 Ọpụ 20:13; Dit 5:17

ya, uru gịnị ka ọ bara? [17] N'ụzọ dị otu a, okwukwe naanị ya bụ ihe na-abaghị uru ma
ọ bụrụ na ọrụ esoghị ya.
[18] Otu onye ga-asị, "I nwere okwukwe; e nwere m ọrụ."
Gosi m okwukwe gị ma e wepụ ọrụ gị, aga m egosi gị okwukwe site n'ọrụ [19] I
kweere na ọ bụ naanị otu Chineke, i mere nke ọma, ọ bụladị ndị mmụọ ọjọọ kweere
ma kụja.
[20] Gị onye nzuzu, ị na-achọ ka e gosi gị na okwukwe bụ ihe na-abaghị uru ma ọ
bụrụ na ọrụ e soghị ya? [21] Ọ bụ na nna anyị Ebraham abụghị onye a gụrụ n'onye
ezi omume site n'ọrụ ya, mgbe o jiri otu nwa ya bụ Aịzik chụọ aja n'ebe ịchụ aja?
[22] Unu ahụghị na okwukwe ya na ọrụ soro rụkọọ n'otu, e sitekwara n'ọrụ ya mee ka
okwukwe ya zuo oke. [23] Ọ bụ site na nke a ka ihe e dere n'akwụkwọ nsọ jiri mezuo,
nke na asị, "Ebraham kweere na Chineke, a gụrụ nke a nye ya dị ka ezi omume,"§
kpọọkwa ya enyi Chineke. [24] Unu ahụla na a na-esite n'ihe mmadụ rụrụ gụọ ya
n'onye ezi omume, ọ bụkwaghị naanị n'okwukwe.
[25] N'otu ụzọ ahụ, agụnyeghị Rehab, nwanyị akwụna ahụ n'onye ezi omume n'ihi
ọrụ ọ rụrụ, mgbe ọ kpọbatara ndị nnyopụta ahụ ma zipụkwa ha site n'ụzọ dị iche?
[26] Dịka anụ ahụ na-enweghị mmụọ si bụrụ ihe nwụrụ anwụ, otu a ka ọ dịkwa
okwukwe na-enweghị ọrụ.

# 3

*Ịzụ ire anyị*

[1] Ụmụnna m, ka ọtụtụ n'ime unu hapụ ịgbalị ịbụ ndị ozizi, n'ihi na unu maara na
anyị bụ ndị ozizi ka a ga-ekpe ikpe n'ọnọdụ sikarịrị ike. [2] N'ihi na anyị niile na-asọ
ngọngọ site n'ọtụtụ ụzọ. Ma onye ọbụla nke na-adịghị emehie site n'ikwuhie ọnụ
bụ onye tozuru oke na onye pụrụ ijide anụ ahụ ya niile aka.
[3] Ọ bụrụ na anyị e tinye mkpụmkpụ igwe e ji ekechi ọnụ ịnyịnya ibu n'ọnụ ya, ka
o rubere anyị isi, anyị na-eduru ya gaa ebe anyị chọrọ. [4] Otu a kwa, ọ bụladị ụgbọ
mmiri buru ibu nke ikuku dị ike na-ebugharị n'osimiri, ka onye na-anya ụgbọ mmiri
pụrụ ime ka ọ gaa ebe ọ chọrọ site n'ịtụgharịa ụmara ntakịrị e ji anya ụgbọ. [5] Otu a
ka ọ dịkwa ire anyị. Ọ bụ akụkụ anụ ahụ anyị dị nta, ma ọ na-anya isi banyere ọtụtụ
ihe. Tulee otu oke ọhịa si dị ukwuu, bụ nke icheku ọkụ dịkarịsịrị nta na-eme ka o
nwuru ọkụ. [6] Ire anyị bụ ọkụ. E debere ire n'etiti akụkụ anụ ahụ ndị ọzọ dịka ụwa
ajọ omume. Ọ na-emerụ ahụ niile, na-amụnye ọkụ n'usoro ndụ mmadụ. Ya onwe ya
bụkwa ihe ọkụ ala mmụọ na-amụnye ọkụ.
[7] Mmadụ enweela ike zụọ, na-agbalịkwa ịzụ anụmanụ dị iche iche, na nnụnụ, na
anụ na-akpụ akpụ, na anụ bi na mmiri; [8] ma mmadụ ọbụla adịghị nke nwere ike
ịzụ ire. Ọ bụ ihe dị oke njọ na-adịghị ekwe nchịkọta, ma jupụtakwa na nsi na-ebute
ọnwụ.
[9] Ọ bụ ya ka anyị ji eto Onyenwe anyị na Nna anyị. Ọ bụkwa ya ka anyị ji abụ
mmadụ ibe anyị ọnụ, bụ ndị Chineke mere n'oyiyi nke ya. [10] Site n'otu ọnụ anyị
ka ịja mma na ịbụ ọnụ na-esi apụta. Ụmụnna m, nke a abụghị ihe ziri ezi. [11] Ọ
bụ ihe pụrụ ime na mmiri dị mma ịṅụ aṅụ na mmiri nnu ga-esite n'otu isi iyi ahụ
na-asọpụta? [12] Ụmụnna m, osisi fiig ọ pụrụ ịmị oliv, ka osisi grepu ọ pụrụ ịmịpụta
fiig? N'ụzọ dị otu a, anyị makwaara na mmiri nnu apụghịkwa ịsọpụta mmiri dị mma
ọṅụṅụ.

*Ụdị amamihe abụọ dị*

[13] Ọ dị onye ọbụla n'ime unu na-agụ onwe ya dị ka onye maara ihe na onye nwere
nghọta? Ya gosi amamihe ya na nghọta ya site n'ibi ezi ndụ na ịrụ ọrụ ọma site n'obi

§ **2:23** 2:23 Jen 15:6

dị umeala. [14] Ma ọ bụrụ na obi unu ejupụta n’ihe ilu na ekworo na ịchọ naanị ihe
nke onwe unu, mgbe ahụ, unu ekwesighị ịnya isi sị otu a na-agọnarị eziokwu. [15] Ụdị
amamihe dị otu ahụ esiteghị n’eluigwe bịa. Ọ bụ amamihe nke ụwa. Ọ bụghị nke
mmụọ nsọ. Ọ bụ nke mmụọ ọjọọ. [16] N’ihi n’ebe ọbụla obi ilu na ekworo dị, ebe ahụ
ka ọgbaaghara na omume ọjọọ niile dị.
[17] Ma amamihe na-esite n’eluigwe abịa bụrụ ụzọ dị ọcha, emesịa, ọ hụrụ udo
n’anya, ọ na-eme obiọma, o jupụtara n’ebere, na-ewepụtakwa ọrụ ọma. Ihu abụọ
na obi abụọ adịghịkwa n’ime ya. [18] Ma ndị ahụ bụ ndị na-eme udo bụ ndị na-agha
mkpụrụ udo. Ha ga-aghọta mkpụrụ ezi omume.

# 4

*Nyenụ onwe unu n’aka Chineke*

[1] Gịnị bụ ihe na-ebute ọgụ na esemokwu n’etiti unu. Ebee ka ha siri bịa? Ọ bụghị
ọchịchọ ọjọọ unu nwere n’ime onwe unu? [2] Ọ bụrụ na unu chọọ ma unu achọtaghị
ya, unu egbuo mmadụ. Unu na-enwe anya ukwu n’ihe onye ọzọ nwere ma ọ bụrụ
na unu enwetaghị ya, unu amalite ịlụ ọgụ na ibu agha. Unu enweghị maka unu
chọrọ arịọghị ya n’ekpere. [3] Unu na-arịọ ma unu adịghị anata, n’ihi na unu na-arịọ
n’ebumnobi ọjọọ. Unu na-arịọ ka unu mefuo ya n’ihe ụtọ nke ụwa.
[4] Ndị na-ekwesighị ntụkwasị obi! Ọ bụ na unu amaghị na unu na ụwa bụrụ enyi,
unu ga-esi otu a bụrụ ndị iro Chineke? Onye ọbụla nke chọrọ ịbụ enyi nke ụwa,
na-eme onwe ya onye iro nke Chineke. [5] Unu chere na ihe e dere n’akwụkwọ nsọ
na-ekwu n’efu mgbe ọ na-asị, “Chineke na-ekwosi ekworo ike n’ihi Mmụọ Nsọ ya nke
o mere ka o biri n’ime anyị.” [6] Ma ọ na-enye anyị amara karịa. Ya mere, Akwụkwọ
nsọ ji sị,
“Chineke na-eguzo imegide ndị na-ebuli onwe ha elu,
ma ọ na-enye ndị dị umeala n’obi amara.”*
[7] Ya mere, nyenụ Chineke onwe unu. Guzonụ megide ekwensu, ọ ga-esi n’ebe
unu nọ gbapụ. [8] Bịakwutenụ Chineke nso, ya onwe ya ga-abịakwutekwa unu nso.
Kwọọnụ aka unu, unu ndị mmehie, meekwanụ ka obi unu dị ọcha, unu ndị obi abụọ.
[9] Ruonụ ụjụ, tienụ aka n’obi n’ọnọdụ mwute, kwaakwanụ akwa. Ka ọchị unu ghọọ
ihu mgbarụ, ka iru ụjụ werekwa ọnọdụ ịṅụrị ọṅụ. [10] Wedanụ onwe unu ala n’ihu
Onyenwe anyị ọ ga-ebulikwa unu elu.
[11] Ụmụnna m, unu ekwula okwu ọjọọ megide ibe unu. N’ihi na onye na-ekwu okwu
ọjọọ megide nwanna ya, maọbụ onye na-ekpe nwanna ya ikpe, na-ekwu okwu megide
iwu. Ọ na-ekpekwa iwu ahụ ikpe. Mgbe unu na-ekpe iwu ahụ ikpe, unu adịghị edebe
ya kama unu bụ ndị na-ekpe ya ikpe. [12] Ọ bụ naanị otu onye o nye iwu. Ọ bụkwa
naanị otu onye ikpe dị. Ọ bụ naanị ya nwere ike ịzọpụta mmadụ. O nwekwara ike
ịla onye ọbụla n’iyi. Ma gị, onye ka ị na-eche na ị bụ iji na-ekpe nwanna gị ikpe?

*Ịnya isi banyere ihe echi ga-abụ*

[13] Ugbu a geenụ ntị unu bụ ndị na-asị, “Taa maọbụ echi, anyị ga-aga ebe dị otu a,
maọbụ obodo dị otu a, ịzụ ahịa na ire ahịa, anyị ga-anọkwa ebe ahụ otu afọ kpaa
ego.” [14] Olee otu unu si mara ihe ga-eme echi? Gịnị ka unu na-eche na ndụ unu
bụ? Mmadụ dị ka anwụrụ ọkụ nke a na-ahụ anya nwa oge nta, nke ikuku na-emesịa
bufuo. [15] Kama ihe unu ga-ekwu bụ nke a, “Ọ bụrụ na Onyenwe anyị ekwe, anyị
ga-adị ndụ, mee nke a maọbụ nke ọzọ.” [16] Ma ihe unu na-eme bụ ịnya isi na ịkpa
nganga. Ụdị ịnya isi a bụ ihe ọjọọ. [17] Ya mere, mmadụ ọbụla maara ihe bụ ezi ihe
ma jụ ime ya na-emehie.

* **4:6** 4:6 Ilu 3:34

# 5

*Ịdọ aka na ntị nye ndị ọgaranya*

1 Ugbu a geenụ ntị unu ndị ọgaranya, oge eruola mgbe unu kwesiri ịkwa akwa na
ịsụ ude n’ihi nsogbu na-akwado ịbịakwasị unu. 2 Akụnụba unu ebidola ịta nchara,
mkpu eripịakwala uwe unu. 3 Ọlaọcha na ọlaedo unu agbaala nchara. Nchara* a
ga-abụkwa ama megide unu, ọ ga-erepịa anụ ahụ unu dịka ọkụ. Unu akpakọtala
akụ n’ụbọchị ikpeazụ ndị a. 4 Geenụ ntị! Ụzụ akwa ndị ọrụ unu, ndị unu jụrụ ịkwụ
ụgwọ ọrụ ha dị ka o kwesiri na-agbago imegide unu. Ụzụ akwa ndị ọrụ unu, ndị unu
ghọgburu, eruola ntị Onyenwe anyị, Onye pụrụ ime ihe niile. 5 Unu ebiela ndụ nke
oke oriri na oke ọṅụṅụ n’elu ụwa, na ndụ inye anụ ahụ unu ihe ọbụla na-akpa ya
mkpa. Ma ugbu a, anụ ahụ unu ahụ gbara abụba ejikerela na-eche ụbọchị mgburi ya.
6 Unu amala ndị aka ha dị ọcha ikpe, gbukwaa ha, ọ bụladị mgbe ha na-egbochighị
unu.

*Ndidi n’ime ahụhụ*

7 Nweenụ ntachiobi, ụmụnna m, cherenụ ọbịbịa Onyenwe anyị. Lee otu onye ọrụ
ubi si eji ndidi na-eche mkpụrụ ọ kụrụ n’ala ubi ka ọ mịa. O ji ndidi na-eche ka
mmiri ozuzo nke mbụ na nke ikpeazụ zokwasị ubi ya. 8 Unu onwe unu kwesikwara
inwe ndidi guzosiekwa ike n’ihi na ọbịbịa Onyenwe anyị dị nso. 9 Ụmụnna m, unu
atamula ntamu megide ibe unu, ka a hapụ ikpe unu ikpe! Lee, onye ikpe ahụ guzo
n’ọnụ ụzọ.
10 Ụmụnna m, dị ka ihe ilere anya banyere inwe ndidi na ahụhụ, mụtanụ ihe site
n’aka ndị amụma bụ ndị kwuru okwu n’aha Onyenwe anyị. 11 Anyị na-agụ ha ugbu a
dịka ndị a gọziri agọzi n’ihi iguzosike ha. Unu anụla maka ogologo ntachiobi nke Job
nwere, unu ahụkwala nzube Onyenwe anyị n’ihi na Onyenwe anyị jupụtara n’ebere
na ọmịiko.
12 Karịsịa ụmụnna m, unu aṅụla iyi. Unu aṅụkwala iyi mgbe ọbụla, ọ bụladị iji
eluigwe maọbụ ụwa, maọbụ ihe ọbụla ọzọ ṅụọ iyi. Kama ka “E” unu bụrụ “E.” Ka
“E e,” unu bụrụkwa “E e.” Ka unu hapụ isite n’ụzọ dị otu a mehie ma wetakwara
onwe unu ikpe ọmụma.

*Ekpere nke sitere n’okwukwe*

13 Ọ dị onye ọbụla n’etiti unu nọ na nsogbu? Ka onye dị otu ahụ kpee ekpere. Ọ dị
onye na-aṅụrị ọṅụ? Ya bụọ abụ otuto. 14 Ọ dị onye nọ n’etiti unu ahụ na-esighị ike?
Ya kpọọ ndị okenye chọọchị ka ha kpeere ya ekpere, ka ha wụkwasịkwa ya mmanụ
otite n’isi kpọkuokwa aha Onyenwe anyị. 15 Ekpere nke okwukwe ga-azọpụta onye
ọrịa ahụ. Onyenwe anyị ga-ekulite ya, ọ bụrụkwa na o mehiere, a ga-agbaghara ya.
16 Ya mere kwupụtaranụ ibe unu mmehie unu. Kpeekwaranụ ibe unu ekpere ka e
nwe ike gwọọ unu. Ekpere onye ezi omume dị ike dịkwa ire.
17 Ịlaịja bụ mmadụ dị ka anyị, ma o kpere ekpere rịọ ka mmiri hapụ izo, mmiri
ezokwaghị n’ala ahụ ruo afọ atọ na ọnwa isii. 18 Emesịa, o kpekwara ekpere ọzọ,
eluigwe nyere mmiri ozuzo, meekwa ka ala pupụta ihe oriri.
19 Ụmụnna m, ọ bụrụ na onye ọbụla n’etiti unu esite n’eziokwu ahụ jehie, ma otu
onye n’ime unu akpọghachi ya azụ, 20 chetanụ nke a na onye ọbụla kpọghachitere
onye mmehie azụ site na njehie ya, ga-azọpụta ha n’aka ọnwụ ma kpuchiekwa ọtụtụ
mmehie.

* **5:3** 5:3 Maọbụ, ajarị

# 1 Pita

1 Pita, onyeozi Jisọs Kraịst,

Na-edegara unu ndị niile ndị a họpụtara, ndị gbara ọsọ ndụ gaa biri na Pọntọs,
na Galeshịa, na Kapadosia, Eshịa na Bitinia, akwụkwọ a. 2 Unu ndị Chineke bụ Nna
họpụtara dị ka o bururị ụzọ mata na ọ ga-eme, jirikwa Mmụọ Nsọ ya doo unu nsọ,
ka unu na-erubere Jisọs Kraịst isi, ka ewerekwa ọbara ya sachaa unu:

Ka amara na udo baara unu ụba.

*Olileanya dị ndụ*

3 Otuto dịrị Chineke Nna Onyenwe anyị Jisọs Kraịst! Site n'ịba ụba nke ebere ya,
o nyela anyị ndụ ọhụrụ baa n'olileanya dị ndụ site na mbilite n'ọnwụ Jisọs Kraịst.
4 Anyị nwekwara ihe nketa nke na-apụghị imebi emebi, nke na-agaghị ere ure, maọbụ
gbanwee ụdịdị ya, nke e debeere anyị n'eluigwe. 5 Anyị bụ ndị e sitere n'okwukwe
na-echekwa n'ike Chineke, tutu ruo ọbịbịa nzọpụta ahụ, nke a na-ejikere ime ka ọ
pụta ìhè n'ọgwụgwụ oge. 6 N'ime ihe ndị a ka unu na-aṅụrị oke ọṅụ, ọ bụ ezie na
n'oge ndị a dị nta, unu agabigala ọtụtụ ihe mgbu n'ihi ụdị ọnwụnwa dị iche iche
bịakwasịrị unu. 7 Ọnwụnwa ndị a na-abịa ime ka okwukwe unu, nke dị oke ọnụahịa
karịa ọlaedo na-ala n'iyi n'agbanyeghị na e ji ọkụ nụchaa ya; bụrụ nke ga-eweta
otuto, na ebube, na nsọpụrụ, mgbe e mere ka Jisọs Kraịst pụta ìhè. 8 Ọ bụ ezie na
unu ejibeghị anya unu hụ ya mgbe ọbụla, ma unu hụrụ ya n'anya, ọ bụkwa ezie na
unu adịghị ahụ ya anya ugbu a, ma unu kwere na ya. Unu jupụtakwara n'ọṅụ ahụ
dị ebube nke ọnụ na-apụghị ịkọwa. 9 Ụgwọ ọrụ ọzọ unu ga-enweta n'ihi okwukwe
unu n'ime ya ga-abụ nzọpụta a ga-azọpụta mkpụrụobi unu.
10 Banyere nzọpụta a, ndị amụma ahụ kwuru ihe banyere amara ahụ gaje ịbịara
unu jiri nnọọ nwayọọ nyochasịa 11 ma gbalịsie ike ịchọpụta oge na ọnọdụ ahụ bụ
nke Mmụọ Kraịst dị n'ime ha kwuru banyere ya, mgbe ọ gbara ama maka ahụhụ
Kraịst na ebube nke ga-eso ya. 12 E mere ka ha mata na ọrụ ha na-arụ abụghị maka
ọdịmma nke ha onwe ha, kama ọ bụ n'ihi ọdịmma nke unu, mgbe ha kwuru okwu
banyere ihe ndị a ahụ bụ ndị a gwarala unu ugbu a site n'ọnụ ndị ziri unu oziọma
n'ike Mmụọ Nsọ nke e si n'eluigwe zite. Ọ bụladị ndị mmụọ ozi ka ọ gụrụ agụụ ịmata
ihe ndị a.

*Bụrụnụ ndị dị nsọ*

13 N'ihi ya, werenụ uche unu niile jikere ịrụ ọrụ, anya dokwaa unu. Nweenụ
olileanya zuruoke n'amara nke a ga-ewetara unu mgbe a ga-ekpughe Jisọs Kraịst.
14 Dị ka ụmụ na-erube isi, unu ekwela ka ihe ọjọọ ndị ahụ na-agụ unu agụụ mgbe
unu nọ n'ọchịchịrị, na-achị ndụ unu. 15 Kama bụrụnụ ndị dị nsọ n'ihe niile unu
na-eme, dịka onye kpọrọ unu si dị nsọ. 16 N'ihi na e dere ya ede, "Dịnụ nsọ, n'ihi na
adị m nsọ."*
17 Ebe unu na-akpọku Nna ahụ na-ekpe onye ọbụla ikpe dị ka ọrụ ya sịrị dị na-eleghị
mmadụ anya n'ihu, bienụ ndụ unu n'ịtụ egwu Chineke, dịka ndị mbịarambịa n'ụwa
a. 18 N'ihi na unu matara na-ejighị ihe pụrụ imebi emebi, dịka ọlaọcha na ọlaedo
gbapụta unu site n'ibi ndụ ọjọọ ahụ nna nna unu ha nyefere unu n'aka 19 kama ọ
bụ ọbara dị oke ọnụahịa nke Kraịst bụ nwa atụrụ na-enweghị ntụpọ ọbụla maọbụ

* **1:16** 1:16 Lev 11:44,45; 19:2

ọrụsị. [20] A họpụtara ya tupu e kee ụwa. Kama, ọ bụ n'ọgwụgwụ oge ndị a ka e
mere ka ọ pụta ìhè n'ihi unu. [21] Ọ bụkwa site n'aka ya ka unu ji bụrụ ndị kwere
na Chineke, onye mere ka o si n'ọnwụ bilie, na onye nyekwara ya ebube. Ya mere,
okwukwe unu na olileanya unu dị na Chineke.

[22] Ugbu a, ebe unu sitere n'irubere eziokwu ahụ isi mee ka obi unu dị ọcha, nke
mere na unu nwere ịhụnanya nke ihu abụọ n'adịghị n'ebe ụmụnna unu nọ, sitenụ
n'obi unu na-ahụrịtanụ onwe unu n'anya n'ebe ọ dị ukwuu. [23] N'ihi na amụọla unu
ọzọ ugbu a, ọ bụghị site na mkpụrụ nke na-emebi emebi, kama site na nke na-apụghị
imebi emebi, site n'okwu Chineke nke dị ndụ ma na-adịgidekwa. [24] N'ihi na,

"Mmadụ niile dị ka ahịhịa,
ma ebube ha niile dị ka okoko osisi nke ọhịa,
ahịhịa na-akpọnwụ, okoko osisi na-achanwụ,
[25] ma okwu Onyenwe anyị na-anọgide ruo mgbe ebighị ebi."†

Okwu ahụ bụkwa oziọma ahụ e zisaara unu.

# 2

[1] Ya mere, wezuganụ n'ibu iro n'obi na aghụghọ niile unu, kwụsịnụ ịgha ụgha, ịbụ
ndị ihu abụọ, ndị na-ekwo ekworo, na ndị na-ekwutọ mmadụ ibe ha. [2] Dịka ụmụ a
mụrụ ọhụrụ, bụrụnụ ndị agụụ ịṅụ mmiri ara nke Mmụọ Nsọ a na-agwaghị ihe ọbụla
na-agụ, ka unu nwee ike site na ya na-eto eto n'ime nzọpụta unu. [3] Ugbu a, unu
detụrụla ya ire matakwa na Onyenwe anyị dị mma.

### *Nkume dị ndụ na ndị a họpụtara*

[4] Bịakwutenụ ya, Nkume ahụ dị ndụ, onye ụmụ mmadụ jụrụ, maọbụ onye Chineke
họpụtara, onye dị oke ọnụahịa nye ya. [5] Unu onwe unu kwa dị ka nkume dị ndụ ka a
na-ewu ime ka unu ghọọ ụlọ ime mmụọ, ka unu bụrụkwa ndị nchụaja dị nsọ, ndị na-
achụ aja ime mmụọ nke Chineke na-anabata site na Jisọs Kraịst. [6] N'ihi n'akwụkwọ
nsọ kwuru,

"Lee, ana m atọgbọ na Zayọn otu nkume,
nke a họpụtara, bụkwa nkume isi ntọala dị oke ọnụahịa.
Onye ọbụla kweere na ya,
agaghị eme ka ihere mee ya."*

[7] Ma nye unu ndị kwere ekwe nkume a dị oke ọnụahịa, ma n'ebe ndị ahụ na-ekweghị
ekwe nọ,

"Ọ bụ nkume nke ndị na-ewu ụlọ jụrụ
nke ghọrọ nkume isi ntọala ụlọ."†

[8] Ọ bụ kwa,

"Nkume nke na-eme ka ndị mmadụ sọọ ngọngọ,
oke nkume nke na-eme ka ha daa."‡

Ha na-asọ ngọngọ n'ihi na ha jụrụ irube isi n'okwu ahụ. Nke a bụkwa ihe a kara aka
banyere ha.

[9] Ma unu bụ ndị a họpụtara, otu ndị nchụaja eze, mba dị nsọ, ndị nke Chineke
n'onwe ya, ka unu bụrụ ndị na-ekwusa otuto ya, bụ onye ahụ si n'ọchịchịrị kpọbata
unu n'ìhè ya dị ebube. [10] N'oge gara aga, unu abụghị ndị Chineke, ma ugbu a, unu bụ
ndị ya. Na mbụ, unu amaghị ihe ọbụla banyere obi ebere ya, ma ugbu a, obi ebere
ya erutela unu aka.

### *Mmeso onye Kraịst nye ndị ụwa*

† **1:25** 1:25 Aịz 40:6-8 * **2:6** 2:6 Aịz 28:16 † **2:7** 2:7 Abụ 118:22 ‡ **2:8** 2:8 Aịz 8:14

11 N’ihi ya, ndị enyi m, ana m arịọ unu, dịka ndị bụ ọbịa na ndị na-agba ọsọ ndụ
n’ụwa a, nke unu bụ, na-asị unu, wezuganụ onwe unu site n’agụụ mmehie nke na-
ebuso mkpụrụobi unu agha. 12 Bienụ ezi ndụ n’etiti ndị mba ọzọ, ka ọ ga-abụ na a
sị na ha ebo unu ebubo ime ihe ọjọọ, ha ga-ahụ ọrụ ọma unu, ma nye Chineke otuto
n’ụbọchị ahụ ọ ga-abịa.

13 Werenụ onwe unu nyefee, n’ihi Onyenwe anyị, n’okpuru ọchịchị niile e guzobere
n’etiti ụmụ mmadụ, ma ọchịchị ahụ ọ bụ nke eze, dịka onye ike ya kacha nke ibe ya,
14 maọbụ nke ọchịchị gọvanọ, onye e guzobere n’ihi ịta ndị na-eme ihe ọjọọ ahụhụ,
na ito ndị na-eme ezi ihe otuto. 15 N’ihi na ọ bụ uche Chineke na unu ga-esite n’ezi
ọrụ unu kpuchie ọnụ ndị ahụ na-esite na-amaghị ihe ha, na-ekwu okwu nzuzu. 16 Na-
ebinụ ndụ dị ka ndị nwere onwe ha, ma unu ejikwala mnwere onwe unu mere ihe
mkpuchi nke ajọ ihe. Bienụ dịka ụmụodibo Chineke. 17 Sọpụrụnụ mmadụ niile dịka
o si kwesi. Gosi ndị niile kwere ekwe ịhụnanya. Tụọ Chineke egwu, ma na-asọpụrụ
eze.

### *Jisọs bụ ihe ọmụmatụ*

18 Ndị ohu, ruberenụ ndị nwe unu isi, na-enyekwa ha nsọpụrụ na ugwu ruuru ha.
Unu emela nke a nye naanị ndị bụ ezi mmadụ, na ndị nwere obiọma n’ebe unu nọ,
kama meekwanụ ya ọ bụladị nye ndị afọ tara mmiri. 19 N’ihi na nke a bụ ihe inye
ekele ma ọ bụrụ na unu ejiri ntachiobi na-edi ahụhụ na-ezighị ezi na-adakwasị unu,
n’ihi na unu na-eme ihe Chineke na-achọ. 20 Ma o nweghị otuto ọbụla dịrị unu mgbe
a tara unu ahụhụ n’ihi na unu mejọrọ, unu na-edikwa ya? Ma ọ bụrụ na unu enwee
ntachiobi mgbe a na-ata unu ahụhụ n’ihi ihe ọma unu na-eme, nke a na-ewetara
Chineke otuto. 21 Ọ bụ n’ihi ihe dị otu a, ka e jiri kpọọ unu, n’ihi na Kraịst hụrụ
ahụhụ n’ihi unu. Ọ bụkwa ihe ịmaatụ nye unu. Na-esonụ nzọ ụkwụ ya.
22 “O nweghị mgbe ọbụla o mehiere,
o nwekwaghị mgbe onye ọbụla nụrụ okwu aghụghọ n’ọnụ ya.”§
23 O kwutọghị onye ọbụla mgbe ha na-ekwutọ ya. Ọ baghị mba ọbụla mgbe ha na-
ata ya ahụhụ, kama o were ya nyefee n’aka onye ahụ na-ekpe ikpe ziri ezi. 24 N’elu
obe ahụ, o buuru mmehie anyị niile bokwasị onwe ya mgbe ọ nwụrụ, ime ka anyị
nwee ike ịbụ ndị nwụrụ anwụ n’ebe mmehie dị; ma dịrị ndụ n’ebe ezi omume dị.
Ọ bụkwa site n’apa ọnya dị ya n’ahụ ka o ji gwọọ unu.* 25 Na mbụ, unu dị ka ụmụ
atụrụ na-awagharị na-achọ ụzọ,† ma ugbu a, e meela ka unu laghachikwute Onye
ahụ na-azụ unu dị ka atụrụ, na Onye na-elekọtakwa mkpụrụobi unu anya.

# 3

### *Di na nwunye*

1 Unu ndị bụ nwunye na-eruberenụ di unu isi, ka ụfọdụ n’ime ha na-ekweghị
n’okwu Chineke, nwee ike isi n’ezi ndụ unu na-ebi chegharịa n’ekwughị okwu ọbụla,
2 mgbe ha na-ahụ ibi ndụ unu nke dị ọcha na nke inwe nsọpụrụ. 3 Ịchọ mma unu
agaghị abụ ịchọ mma nke anụ ahụ, nke bụ ịkpa isi, na iyikwasị ihe ọlaedo, maọbụ
iyikwasị uwe mara mma. 4 Kama, ka ịchọ mma unu bụrụ mmadụ nke ime mmụọ, nke
mma ya na-adịghị aṅacha, nke bụ mmụọ ịdị nwayọọ na ịdị juu. Nke dị oke ọnụahịa
n’ihu Chineke. 5 Nke a bụ ụzọ ndị inyom mgbe ochie, bụ ndị dị nsọ, ndị olileanya ha
dị n’ime Chineke siri chọọ onwe ha mma. Ha debekwara onwe ha n’okpuru di nke
aka ha. 6 Dịka Sera rubeere Ebraham isi, na-akpọkwa ya onyenwe m. Unu bụ ụmụ
Sera ma ọ bụrụ na unu e mee ihe ziri ezi, na-ekweghị ka egwu tụọ unu.

§ **2:22** 2:22 Aịz 53:9 * **2:24** 2:24 Aịz 53:5 † **2:25** 2:25 Aịz 53:6

7 N’otu aka ahụ, ndị bụ di na-echenụ echiche dị mma banyere nwunye unu, ma
nyenụ ha ugwu ruuru ha dịka ndị na-adịghị ike na dịka ndị unu na ha ga-eso keta
onyinye amara nke ndụ ahụ. Nke a ga-eme ka ihe ọbụla hapụ igbochi ekpere unu.

### *Ịhụ ahụhụ n’ihi ime ihe dị mma*

8 N’ikpeazụ, nweenụ otu mmụọ, ka ihe na-ewute ibe unu na-ewute unu, na-
ahụrịtanụ onwe unu n’anya, nwekwanụ obi ọmịiko na obi dị umeala. 9 Unu ejila
ihe ọjọọ akwụghachi ụgwọ ihe ọjọọ e mere unu, maọbụ nkwutọ n’ọnọdụ nkwutọ.
Kama gọzienụ ha, n’ihi na ọ bụ ngọzị ka e kwere unu na nkwa iketa, mgbe a kpọrọ
unu. 10 N’ihi na,

“Onye ọbụla nke na-achọ ndụ,
nke chọrọ ịhụ ụbọchị ndị ahụ dị mma,
ya mee ka ire ya ghara ikwu okwu ọjọọ
meekwa ka egbugbere ọnụ ya ghara ikwu okwu aghụghọ.
11 Ka ha tụgharịa site n’ajọ ihe ma mee ezi ihe;
ka ha chọọ udo, ma na-agbasokwa ya.
12 N’ihi na anya Onyenwe anyị dị n’ahụ ndị ezi omume,
ntị ya gheekwa oghe nye ekpere ha,
ma ihu Onyenwe anyị na-emegide ndị na-eme ihe ọjọọ.”*

### *Nọgide na-eme ihe ọma*

13 Onye ga-emegide unu ma ọ bụrụ na unu na-anụ ọkụ n’obi ime ezi ihe? 14 Ma a
sịkwarị na unu ahụ ahụhụ n’ihi na unu mere ihe ziri ezi, ngọzị dịrị unu. “Unu atụla
egwu ihe ha na-atụ egwu, ka obi gharakwa ịlọ unu mmiri.”† 15 Na-edonụ Kraịst nsọ
n’ime obi unu dịka Onyenwe anyị. Nọọkwanụ na njikere mgbe niile iguzo kọwaara
onye ọbụla jụrụ unu ajụjụ banyere olileanya ahụ unu nwere n’ime unu. Ma unu
were obi dị nwayọọ na nsọpụrụ na-eme nke a. 16 Ma na-enwenụ akọnuche dị ọcha,
ka ndị ahụ na-ekwulu ibi obi ọma unu n’ime Kraịst, bụrụ ndị ihere ga-eme banyere
nkwutọ ha na-ekwutọ unu. 17 N’ihi na ọ ka mma ịta ahụhụ n’ihi ezi ihe ma ọ bụrụ
uche Chineke, karịa ịta ahụhụ n’ihi ajọ ihe. 18 N’ihi na Kraịst n’onwe ya hụrụ ahụhụ
nwụọ n’ihi unu otu mgbe. Onye ezi omume nwụrụ n’ihi ndị ajọ omume, ka ọ kpọrọ
unu bịakwute Chineke. N’ihi na e mere ka ọ nwụọ n’anụ ahụ ma e mekwara ka ọ dị
ndụ na mmụọ ya. 19 Mgbe emesịrị ka ọ dị ndụ na mmụọ ya, ọ gara kwusaa oziọma
nye mmụọ ndị ahụ a kpọchiri n’ụlọ mkpọrọ. 20 Nke a bụ mmụọ ndị ahụ jụrụ ime
ihe Chineke chọrọ mgbe ahụ o ji ntachiobi chere ha n’oge ahụ Noa nọ na-ewu ụgbọ
mmiri ya. Ọ bụ naanị mmadụ asatọ n’ime ndị bi n’oge ahụ ka a zọpụtara site na
mmiri ahụ. 21 Mmiri a nọ ọnọdụ dị ka baptizim nke na-azọpụta unu ugbu a. Ọ anaghị
asapụ unyi site n’ahụ mmadụ, kama ọ bụ ihe na-egosi ezi akọnuche n’ebe Chineke
nọ. Ọ na-azọpụta unu site na mbilite n’ọnwụ nke Jisọs Kraịst, 22 onye nọ n’eluigwe,
n’aka nri Chineke, ebe ndị mmụọ ozi niile, na ịchị isi niile, na ike niile na-erube isi
nye ya.

## 4

### *Iso Kraịst ga-eweta ihe mgbu*

1 Ya mere, ebe ọ bụ na Kraịst hụrụ ahụhụ n’anụ ahụ, unu onwe unu kwesiri inwe
ụdị obi ahụ o nwere. N’ihi na onye tara ahụhụ n’anụ ahụ akwụsịla ime mmehie.
2 N’ihi nke a, onye dị otu ahụ anaghị ebi ndụ fọdụrụ ya n’ụwa n’ihi agụụ ọjọọ nke
ọchịchọ mmadụ, kama ọ na-ebi ya n’ihi imezu ọchịchọ Chineke. 3 N’oge gara aga
unu tufuru ọtụtụ oge ime ihe ndị ahụ na-atọ ndị mba ọzọ ụtọ. Ndụ unu jupụtara
n’agụụ ịkwa iko, na agụụ ime ihe ọjọọ, na ịṅụbiga mmanya oke, na ịkpọ oriri, na

* **3:12** 3:12 Abụ 34:12-16 † **3:14** 3:14 Aịz 8:12

ikpere arụsị niile, bụ ihe jọgburu onwe ya na njọ. 4 Ma ndụ unu na-ebi ugbu a na-eju
ha anya ebe ọ bụ na unu anaghị esokwa ha ebi ndụ ọjọọ ndị ahụ ọzọ, n'ihi nke a
ha na-ekwutọkwa unu. 5 Ma ha ga-eji ọnụ ha kwupụta ihe ha mere n'ihu onye ahụ
ga-ekpe ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ ikpe. 6 Ọ bụ nke a mere e ji kwusaa oziọma ọ
bụladị nye ndị ahụ nwụrụ anwụ bụ ndị e kperela ikpe mgbe ha dị ndụ, dịka e si ekpe
mmadụ niile ikpe, ka ha site na nke a bie ndụ dị ka Chineke si chọọ site na mmụọ
ahụ.

*Ọgwụgwụ oge dị nso*

7 Ọgwụgwụ ihe niile adịla nso. Bụrụnụ ndị nwere akọnuche zuruoke, ndị anya
doro, ka unu nwee ike na-ekpekwa ekpere. 8 Nke kachasị nke, na-ahụrịtanụ onwe
unu n'anya nke ukwuu n'ihi na ịhụnanya na-ekpuchi ọtụtụ mmehie. 9 Jirinụ obiọma
na-elerịta ibe unu ọbịa na-enweghị ntamu ọbụla. 10 Onye ọbụla n'ime unu dịka ndị
ozi natara onyinye amara nke Chineke, jirinụ onyinye ọbụla unu natara na-ejeritara
onwe unu ozi. 11 Onye na-ekwu okwu ya kwuo ya dị ka ọ bụ nnọọ okwu Chineke ka
ọ na-ekwu. Onye na-eje ozi ya jee ya site n'ike ahụ Chineke na-enye. N'ime ihe niile
ka otuto dịrị Chineke site na Jisọs Kraịst. Ọ bụ ya ka otuto niile na ike niile dịrị ruo
mgbe niile ebighị ebi. Amen.

*Ịhụ ahụhụ dị ka onye Kraịst*

12 Ụmụnna m, ka ọ hapụ iju unu anya mgbe ọnwụnwa dị iche iche na-abịara unu
n'ihi na ihe dị otu a abụghị ihe ọhụrụ n'ebe unu nọ. 13 Kama ṅụrịanụ ọṅụ n'ihi
na unu so Kraịst na-eketa oke n'ahụhụ ya, ka e sikwa otu a mee ka obi unu jupụta
n'ọṅụ, unu ga-etikwa mkpu ọṅụ mgbe a ga-eme ka ebube ya pụta ìhè. 14 Ọ bụrụ na
a na-ekwutọ unu n'ihi aha Kraịst, unu bụ ndị a gọziri agọzi. Nke a na-ezipụta na
mmụọ nke ebube ahụ bụ mmụọ Chineke na-ebi n'ime unu. 15 Ka onye ọbụla n'ime
unu ghara ịta ahụhụ n'ihi na o gburu mmadụ maọbụ dị ka onye ohi, maọbụ dị ka
onye na-eme ihe ọjọọ, maọbụ dị ka onye na-anara mmadụ ihe n'aka ike. 16 Ma ihere
ekwesighị ime unu mgbe unu na-ata ahụhụ dị ka ndị Kraịst. Kama nyenụ Chineke
otuto na unu bụ ndị a na-akpọ aha ahụ. 17 N'ihi na oge eruola, mgbe a ga-amalite
ikpe n'ezinaụlọ Chineke. Ọ bụrụ na a ga-ebu ụzọ kpee anyị ikpe, gịnị ga-abụkwanụ
ọnọdụ ndị ahụ na-ekwenyeghị n'oziọma Chineke? 18 Ma,
"Ọ bụrụkwa na ọ dị ike ịzọpụta onye ezi omume,
oleekwanụ olileanya dịrị onye na-amaghị Chineke na onye mmehie?"*
19 Ya mere, ndị na-ata ahụhụ dị ka nzube Chineke si dị, nyefeenụ onwe unu n'aka
onye okike, onye kwesiri ntụkwasị obi, ma nọgidenụ na-eme ezi ihe.

# 5

*Ndụmọdụ dị iche iche*

1 Mụ onwe m, onye bụ okenye na onyeama banyere ahụhụ Kraịst, bụrụkwa onye
ga-eso keta oke n'ebube ya nke a gaje ikpughe, a na m arịọ ndị okenye n'etiti unu
arịrịọ a, 2 na-azụnụ igwe atụrụ ahụ Chineke nyefere unu n'aka. Ka unu na-elekọta
ha, ọ bụghị n'ihi na unu agaghị ime otu a, kama ọ bụ ihe sitere n'ọchịchọ obi unu,
dị ka Chineke chọrọ ka unu mee. Ọ bụkwaghị n'ihi ego unu ga-enweta, kama ọ bụ
ịnụ ọkụ unu n'ije ozi. 3 Unu abụla ọkaaka n'ebe ndị e nyefere unu n'aka nọ. Kama
bụrụnụ ihe ịma atụ nye igwe atụrụ ahụ. 4 Ma mgbe Onyeisi ndị ọzụzụ atụrụ ahụ
ga-abịa unu ga-anata okpueze ebube nke na-agaghị agbanwe agbanwe.
5 N'otu aka ahụ, unu ụmụ okorobịa, doonụ onwe unu n'okpuru ndị bụ okenye.
Unu niile werenụ obi umeala na-ejeritara onwe unu ozi, n'ihi na,
"Chineke na-eguzo imegide ndị na-ebuli onwe ha elu,

---
* **4:18** 4:18 Ilu 11:31

ma ọ na-enye ndị dị umeala n’obi amara.”*
6 Ya mere, wedanụ onwe unu n’okpuru aka dị ike nke Chineke, ka o bulie unu elu
n’oge ya. 7 Hapụrụnụ ya nsogbu unu na nchegbu unu, n’ihi na ihe banyere unu
na-emetụ ya n’obi.
8 Nọọnụ na njikere, na-echekwanụ nche n’ihi na onye iro unu bụ ekwensu ji
oke ịgbọ ụja na-awagharị dịka ọdụm, na-achọ onye ọ ga-ala n’iyi. 9 Guzosienụ ike
n’okwukwe unu. Unu ekwela ka o merie unu, kama tụkwasịnụ Onyenwe anyị obi.
Chetanụ na e nwere ọtụtụ ndị kwere ekwe dị ka unu ndị nọkwa n’ụdị ahụhụ a unu
na-ahụ n’ụwa niile.
10 Chineke onye nwe amara niile, onye kpọbatara unu na ebube ebighị ebi ya n’ime
Kraịst, mgbe unu hụrụ ahụhụ ndị a nwa oge, ya onwe ya ga-eweghachi unu n’ọnọdụ
unu, mee ka unu dị nnọọ ike, ndị guzo chịm ma kwesikwa ntụkwasị obi. 11 Ọ bụ ya
nwe ike niile ruo mgbe niile ebighị ebi. Amen.

### *Ekele ikpeazụ*

12 Ọ bụ site n’inyeaka Saịlas onye m hụtara dị ka nwanna kwesiri ntụkwasị obi ka m ji deere unu mkpụrụ okwu ole na ole ndị a nke m ji agbaa unu ume na-ekwupụtakwa na nke a bụ eziokwu dị n’amara Chineke. Guzosienụ ike n’ime ya.

13 Nwanyị ahụ nọ na Babilọn, nke a họpụtara unu na ya, na-ekele unu. Mak, ezi nwa m nwoke na-ekelekwa unu.
14 Jirinụ isurita ọnụ ịhụnanya kelerịta onwe unu.

Ka udo dịnyere unu niile nọ n’ime Kraịst.

* **5:5** 5:5 Ilu 3:34

# 2 Pita

1 Ọ bụ Saimọn Pita, odibo na onyeozi nke Jisọs Kraịst,

Na-edegara ndị niile anyị na ha ketara otu ụdị okwukwe a dị oke ọnụahịa, n’ime
ezi omume nke Chineke na Onye nzọpụta anyị Jisọs Kraịst akwụkwọ ozi a:

2 Ka amara na udo bara unu ụba, site na mmazu nke Chineke na nke Jisọs Onyenwe
anyị.

### *Ọkpụkpọ na nhọpụta Chineke*

3 O sitela n’ike o ji bụrụ Chi nye anyị ihe niile dị anyị mkpa ibi ndụ na-asọpụrụ ya,
site n’ọmụma nke anyị mara ya, bụ onye ahụ kpọrọ anyị site n’ebube ya na ịdị mma
ya. 4 O sitela n’ihe ndị a nye anyị nkwa dị ukwuu na nke dị oke ọnụahịa, ka anyị site
na ha keta oke n’ụdịdị nsọ ya, si otu a gbanarị ịrụ arụ dị n’ụwa, nke ọchịchọ ọjọọ
na-ebute.
5 N’ihi nke a, gbalịsienụ ike ịtụkwasị ịdị mma n’elu okwukwe unu, ma na-
atụkwasịkwanụ ihe ọmụma n’elu ịdị mma, 6 tụkwasịkwanụ imerụ ihe n’oke n’elu
ihe ọmụma, tụkwasịkwanụ ntachiobi n’elu imerụ ihe na oke, ma na-atụkwasịkwanụ
ibi ndụ dị ka ndị Chineke n’elu ntachiobi. 7 Tụkwasịkwanụ obiọma nye ụmụnna
n’elu ibi ndụ dị ka ndị Chineke, ma na-atụkwasịkwanụ ịhụnanya n’elu obiọma nye
ụmụnna. 8 Ọ bụrụ na unu enwe ihe ndị a n’ụzọ ha jubigakwara oke n’ime unu, mgbe
ahụ ha ga-eme ka unu ndị na-adịghị amị mkpụrụ, bụrụ ndị na-amị mkpụrụ, na ndị
bara uru n’ihe unu maara banyere Onyenwe anyị Jisọs Kraịst. 9 Ma onye ọbụla na-
atụkwasịghị ihe ndị a n’okwukwe ya nọ n’ọchịchịrị. Ọ naghị ahụ ụzọ. Ọ bụkwa
onye na-echefu na a sachapụla ya mmehie ya, ndị o mere n’oge gara aga.
10 N’ihi ya ụmụnna m, gbalịsienụ ike iguzosike n’ọkpụkpọ na nhọpụta unu. Nke a
ga-eme ka unu hapụ ịsọ ngọngọ maọbụ daa. 11 N’ụzọ dị otu a, a ga-enye unu ohere
dị ukwuu iji bata n’alaeze ebighị ebi nke Onyenwe anyị na Onye nzọpụta anyị Jisọs
Kraịst.

### *Okwu amụma nke Akwụkwọ nsọ*

12 Aga m na-aga n’ihu na-echetara unu ihe ndị a site n’oge ruo n’oge. Ọ bụ ezie
na unu maara na ha na-eguzosikwa ike n’eziokwu ahụ unu natara. 13 Ana m agụ ya
n’ihe ziri ezi ịkpọte mmụọ unu na uche unu site n’ichetara unu ihe ndị a ugbu a m
dị ndụ n’anụ ahụ a. 14 N’ihi na Onyenwe anyị Jisọs Kraịst agwala m hoohaa, na m
ga-eyipụ* ya n’oge na-adịghị anya. 15 Aga m agbalịsi ike ịhụ na mgbe m hapụchara
ụwa nke a, unu ga na-echeta ihe ndị a mgbe niile.

### *Eso m jiri anya m hụ Jisọs*

16 Ihe niile anyị na-akọrọ unu abụghị akụkọ ifo mmadụ kọrọ site n’amamihe ya.
N’ihi na anyị kọwaara unu ihe banyere ike Onyenwe anyị Jisọs Kraịst na ọbịbịa ọ
ga-abịa ọzọ. Ọ bụ anya anyị abụọ ka anyị ji hụ ebube nke ịbụ eze ya. 17 N’ihi na ọ
natara nsọpụrụ na ebube site n’aka Chineke bụ Nna mgbe olu ahụ si n’ebube ahụ
dị ukwuu daa sị, “Onye a bụ Ọkpara m, onye m hụrụ n’anya, onye ihe ya dị m ezi
mma.”† 18 Anyị onwe anyị nụrụ olu ahụ si n’eluigwe daa mgbe anyị so ya nọdụ n’elu
ugwu nsọ ahụ.

---

* **1:14** 1:14 Maọbụ, a ga m anwụ † **1:17** 1:17 Mat 17:5; Mak 9:7; Luk 9:35

19 Anyị nwapụtara na okwu ndị amụma ahụ bụ ihe mezuru emezu. Unu onwe unu
kwesikwara ilezi anya n’okwu ndị ahụ, dịka a ga-asị na ha bụ ìhè na-enwu n’ebe
ọchịchịrị gbara nke na-adị ruo mgbe chi bọrọ, mgbe e mere ka kpakpando ọtụtụ
walie n’obi unu. 20 Nke ka nke, ghọtanụ na okwu amụma ọbụla dị n’akwụkwọ nsọ
abụghị nke e dere dịka akọnuche mmadụ si dị. 21 N’ihi na o nweghị okwu amụma
ọbụla nke e chepụtara dị ka ọchịchọ obi mmadụ si dị, kama mgbe ndị mmadụ kwuru
okwu n’aha Chineke, ọ bụ Mmụọ Nsọ duru ha.

# 2

*Ịla n’iyi nke ndị ozizi ụgha*

1 Ma na mgbe ochie ahụ kwa, e nwere ọtụtụ ndị amụma ụgha n’etiti ha, dịka a
ga-esi nwee ndị ozizi ụgha n’etiti unu. Ndị a ga-esite na nzuzo na-ewebata ozizi ọjọọ
nke na-eweta ịla n’iyi, ha ga-agọnarị ọ bụladị onye kachasị ihe niile, bụ Onyenwe,
onye gbapụtara ha. Ha na-eweta ịla n’iyi na mberede, na-atụkwasị onwe ha n’isi.
2 Ya mere, ọtụtụ mmadụ ga-esoro ndụ rụrụ arụ ha na-ebi, n’ihi ha ga-ekwutọkwa ụzọ
nke eziokwu ahụ. 3 N’anya ukwu ha, ndị nkuzi ụgha ndị a ga-eji okwu nrafu rigbuo
unu n’uru. Site na mgbe ochie, onye ga-ekpe ha ikpe dị njikere. Onye ga-ala ha n’iyi
anaghị arahụ ụra.

4 Ọ bụrụ na Chineke ahapụghị ndị mmụọ ozi ahụ mgbe ha mehiere, kama o weere
ha kpọchie n’ime ala mmụọ,* ebe e kere ha agbụ na-eche ụbọchị ikpe ahụ. 5 Ọ
bụrụkwa na o mereghị ndị ụwa nke mbụ ebere mgbe o mere ka uju mmiri bịakwasị
ndị bi na ya na-amaghị Chineke, kama ọ zọpụtara naanị Noa bụ onye kwusara ezi
omume na mmadụ asaa ndị ọzọ. 6 Ọ bụrụ na ọ mara obodo Sọdọm na Gọmọra ikpe
site n’iwere ọkụ rechapụ ha, mee ha ihe ịmaatụ banyere ihe gaje ịbịakwasị ndị na-
amaghị Chineke; 7 ọ bụrụkwa na ọ napụtara Lọt bụ onye ezi omume, onye ndụ ọjọọ
nke ndị na-emebi iwu wutere 8 (n’ihi na nwoke ezi omume ahụ nke na-ebi n’etiti ha
ụbọchị niile, ehihie na abalị, bụ onye eji ọrụ mmebi iwu niile ọ na-anụ, na nke o
ji anya ya na-ahụ, mekpaa mkpụrụobi ezi omume ya ahụ). 9 Ọ bụrụ na ọ dị otu a,
Onyenwe anyị maara otu o si anapụta ndị na-asọpụrụ Chineke site n’ọnwụnwa niile
gbara ha gburugburu. Ọ makwaara edebe ndị ajọ omume n’ahụhụ, tutu ruo ụbọchị
ikpe ahụ.

*Ahụhụ nke na-abịa*

10 Nke a bụ eziokwu banyere ndị ahụ na-agbaso ọchịchọ emerụrụ emerụ nke anụ
ahụ mmehie ha, na-eledakwa ike ọchịchị anya. Ndị nwere anya ike ma jupụtakwa na
mpako. Ndị ahụ ụjọ na-adịghị atụ ikwutọ ọ bụladị mmụọ ndị ahụ jupụtara n’ebube
nke anya na-adịghị ahụ. 11 Lee, ọ bụ ezie na ndị mmụọ ozi karịrị ha n’ịdị ike,
nweekwa ume karịa, ma ha anaghị e kpegide ha ikpe nkwujọ n’ihu Onyenwe anyị.
12 Lee ka ha si na-ekwulu ihe ndị ha aghọtaghị. Ha dị ka ụmụ anụ ọhịa, ndị nzuzu
na-eme naanị ihe ọbụla ha kpebiri n’obi ha. Ndị a mụrụ naanị maka ijide ha ma
bibiekwa ha. A ga-egbu ha otu e si egbu ụmụ anụ ọhịa ndị a.

13 A ga-eji ntaramahụhụ kwụghachi ha ụgwọ ihe ọjọọ ha mere. Ihe na-atọ ha ụtọ
bụ ịkpọ oriri na ọṅụṅụ n’etiti ehihie. Ha bụ ihe ihere, bụrụkwa ndị na-ewetara unu
ntụpọ ma ọ bụrụ na ha na-eso unu na-erikọta oriri. 14 Anya ha jupụtara n’agụụ ịkwa
iko, mmehie adịghị ejukwa ha afọ. Ha na-arafu ndị okwukwe ha na-esighị ike. Ha
bụkwa ndị a maara aha ha n’ihi oke ọchịchọ. N’ezie ha bụ ụmụ a bụrụ ọnụ. 15 Ha
esitela n’ezi ụzọ ahụ jehie, soro omume Belam nwa Beoa, onye hụrụ ụgwọ ọrụ nke
ajọ omume n’anya. 16 Ma a baara ya mba maka ajọ omume ya, mgbe e mere ka

* **2:4** 2:4 Maọbụ, olulu ọchịchịrị ma ọ bụkwanụ, Tatarọs n’asụsụ Griik

ịnyịnya ibu ya jiri olu mmadụ gwa ya okwu; gbochie ọrụ onyeisi na-adịghị mma nke
onye amụma ahụ chọrọ ịrụ.
17 Ndị a dịkwa ka iyi tara ata nke mmiri ọbụla na-adịghị n’ime ya. Ha dịkwa ka
igwe ojii nke oke ifufe na-efesasị, nke na-adịghị ezo mmiri ọbụla. Ndị a kwadobere
ebe kachasị ịgba ọchịchịrị. 18 Ha na-eji okwu efu na-enweghị isi, na agụụ ihe ọjọọ
nke na-agụ anụ ahụ ha, na-arafu ndị sitere n’etiti ndị na-ebi ndụ ọjọọ na-ekewapụ
onwe ha. 19 Ha na-ekwe ha nkwa inwere onwe ha, ma ha onwe ha bụ ohu nye ihe
rere ure, n’ihi na mmadụ bụ ohu nye ihe ọbụla na-achị achị n’ime ya. 20 Mgbe ha
sitere n’ihe niile emerụrụ emerụ nke ụwa gbapụ, site na mmazu nke Onyenwe anyị,
na Onye nzọpụta anyị Jisọs Kraịst, bụrụ ndị atụhịrị na mmehie ọzọ, bụrụkwa ndị
e meriri, ha ga-abụ ndị ọnọdụ ha ga-ajọ njọ karịa ka ọ dị na mbụ. 21 Ọ gaara akara
ha mma ma ọ bụrụ na ha amataghị ụzọ ezi omume, karịa na ha matara ya, mesịa
gbakụta iwu ahụ dị nsọ nyere ha azụ. 22 Ilu ndị a bụ eziokwu banyere ha sị, “Nkịta
laghachiri ọzọ n’ihe ọ gbọrọ,”† ya na, “Nne ezi a sachara ahụ laghachiri ọzọ ịtụrụ
onwe ya n’apịtị.”

# 3

*Ụbọchị nke Onyenwe anyị*

1 Ndị enyi m, nke a bụ akwụkwọ nke abụọ m na-edetara unu. N’ime ha abụọ, ihe m
mere bụ ichetara unu ihe ndị ahụ niile unu maara na itute uche unu banyere echiche
zuruoke. 2 Achọrọ m ka unu cheta okwu ndị amụma dị nsọ kwuru mgbe ochie na
iwu nke Onyenwe anyị na Onye nzọpụta anyị nyere site na ndị ozi ya.
3 Na mbụ, unu ga-amata nke a, na n’oge ikpeazụ, ndị na-akwa emo ga-apụta, site
n’ịkwa emo gbaso agụ ihe ọjọọ niile nke anụ ahụ ha chọrọ 4 na-asị, “O kwere unu
nkwa na ọ ga-abịa, gịnị mere na ọ bịabeghị? Kemgbe nna nna anyị ha nwụrụ, ihe
niile ka dị otu ha dị na mbụ, site n’okike ụwa.” 5 Ha kpachaara anya chefuo na site
n’ogologo oge gara aga, e sitere n’okwu ọnụ Chineke kee eluigwe ma meekwa ka ụwa
dịrị site na mmiri nke gbara ụwa gburugburu. 6 Ọ bụkwa site na mmiri ndị a ka e ji
bibie ma laa n’iyi ụwa nke dị n’oge ahụ. 7 Ọ bụkwa otu okwu ahụ ka e ji nye iwu ka
e chebe eluigwe na ụwa tutu ruo ụbọchị ahụ, mgbe a ga-eji ọkụ laa ha n’iyi n’ụbọchị
ahụ a ga-ekpe ndị niile na-amaghị Chineke ikpe, laakwa ha n’iyi.
8 Ndị enyi m, unu echefula otu okwu a, n’anya Chineke, otu ụbọchị dịka puku afọ,
puku afọ dịkwa ka otu ụbọchị. 9 Onyenwe anyị anaghị anọ ọdụ n’imezu nkwa ya,
dịka ndị ụfọdụ n’ahụta ya na ọ bụ ịnọ ọdụ. Kama o nwere ntachiobi n’ebe unu nọ,
n’ihi na ọ chọghị ka onye ọbụla laa n’iyi, kama ọ chọrọ ka onye ọbụla bịaruo na
nchegharị.
10 Ma ụbọchị Onyenwe anyị ga-abịa dịka onye ohi. N’ụbọchị ahụ, eluigwe ga-eji
oke ụzụ gafee. Ihe niile dị n’eluigwe ga-agba ọkụ, laa n’iyi. Ụwa na ọrụ niile a rụrụ
n’ime ya ga-erepịakwa ọkụ n’otu ntabi anya.
11 Ebe ọ bụ na ihe niile gbara anyị gburugburu ga-esi otu a laa n’iyi, ụdị ndị dị aṅaa
ka unu kwesiri ịbụ? Unu kwesiri ị na-ebi ndụ dị nsọ na nke ịsọpụrụ Chineke, 12 dịka
unu na-ele anya ọbịbịa ụbọchị nke Chineke, na-echesikwa ya ike ka ọ bịa ngwangwa.
N’ihi na ọ bụ ụbọchị a ga-amụnye eluigwe niile ọkụ, mee ka ihe niile dị na ya gbaze
bụrụ ihe na-agaghị adịkwa. 13 Ma anyị na-ele anya mmezu nkwa ahụ o kwere, nkwa
inye anyị eluigwe ọhụrụ na ụwa ọhụrụ ebe ezi omume naanị ga-adị.
14 Bikonu ndị m hụrụ n’anya, mgbe unu nọ na-ele anya ihe ndị a, jisienụ ike hụ na
aka unu dị ọcha, ndị na-enweghị ịta ụta na ndị ha na ya dị n’udo. 15 Chetakwanụ
na ntachiobi Onyenwe anyị pụtara nzọpụta, dịka ezi nwanna anyị Pọl jiri amamihe
Chineke nyere ya deere unu ihe banyere ya. 16 O na-ede otu ihe ahụ n’akwụkwọ ozi

† **2:22** 2:22 Ilu 26:11

ya niile, na-ekwu ihe banyere ihe ndị a n’ime ha. E nwere ụfọdụ ihe o kwuru nke siri ike ịghọta nke ndị nzuzu na ndị na-amaghị ihe na-akọwa dịka ha si chepụta n’obi ha. Ha asụgharịala ihe o dere dịka ha na-emekwa mpaghara akwụkwọ nsọ ụfọdụ, si otu a wetara onwe ha ịla n’iyi.
17 Ya mere, ezi ndị enyi m, ebe unu matara nke a, nọrọnụ na nche ka a ghara isite
na njehie ndị na-emebi iwu duhie unu, ime ka unu si n’ọnọdụ unu daa. 18 Bụrụnụ ndị
na-eto eto n’ime amara. Bụrụkwanụ ndị na-aga n’ihu ịmụta ihe banyere Onyenwe
anyị na Onye nzọpụta anyị Jisọs Kraịst nke ọma.

Ka otuto dịrị ya ugbu a na mgbe niile ebighị ebi. Amen.

# 1 Jọn

*Okwu nke ndụ*

1 Ihe anyị na-edere unu banyere ya bụ ihe ahụ na-adịrị site na mmalite, nke anyị
nụrụ, nke anyị jikwa anya anyị hụ, nke anyị lekwasịrị anya, na nke aka anyị metụrụ.
Anyị na-ekwu ihe banyere Okwu nke ndụ ahụ. 2 Ndụ ahụ pụtara ihe. Anyị ahụla
ya ma gbaakwa ama banyere ya. Ya mere, ihe anyị na-ekwu okwu ya, na ihe anyị
na-akọrọ unu bụ banyere ndụ ebighị ebi ahụ nke ya na Nna nọ na mbụ; nke e mere
ka ọ pụta ìhè nye anyị. 3 Anyị na-ekwusara unu ihe anyị hụrụ na nke anyị nụrụ, ka
unu soro anyị nwee nnwekọ. N'ezie nnwekọ anyị bụ nke anyị na Nna na nke Ọkpara
ya bụ Jisọs Kraịst, na-enwekọ. 4 Anyị na-edere unu ihe ndị a n'ihi ime ka ọṅụ anyị
zuo oke.

*Ìhè na Ọchịchịrị*

5 Nke a bụ ozi ahụ anyị nụrụ site n'aka ya, nke anyị na-ekwusakwara unu. Chineke
bụ ìhè, ọchịchịrị ọbụla adịghịkwa n'ime ya. 6 Ya mere ọ bụrụ na anyị asị na anyị
na ya nọ n'ezi nnwekọ ma na-ebi n'ime ọchịchịrị, ọ bụ okwu ụgha ka anyị na-ekwu.
Eziokwu ahụ adịghịkwa n'ime anyị. 7 Ma ọ bụrụ na anyị na-ebi ndụ anyị n'ìhè, dị
ka ya onwe ya si nọọ n'ìhè, mgbe ahụ anyị na ibe anyị na-enwe ezi nnwekọ. Ọbara
Jisọs bụ Ọkpara ya na-asachapụkwa anyị mmehie anyị niile.

8 Ma ọ bụrụ na anyị asị na anyị adịghị eme mmehie, anyị na-eduhie onwe anyị, na-
ajụkwa ịnabata eziokwu ahụ n'ime anyị. 9 Ma ọ bụrụ na anyị ekwupụta mmehie
anyị, onye ahụ kwesiri ntụkwasị obi na onye ezi omume, ọ ga-agbaghara anyị
mmehie anyị niile, sachapụkwa anyị site n'ajọ omume anyị niile. 10 Ọ bụrụ na anyị
asị na anyị emeghị mmehie ọbụla, anyị na-akpọ ya onye na-ekwu okwu ụgha, okwu
ya enwekwaghị ọnọdụ n'ime anyị.

## 2

1 Ezi ụmụntakịrị m, ana m edere unu ihe ndị a ka unu ghara imehie. Ma ọ bụrụ
na onye ọbụla emehie, anyị nwere onye na-ekwuchite ọnụ anyị n'ihu Nna ahụ. Ọ bụ
Jisọs Kraịst, Onye ezi omume ahụ. 2 Ọ bụ onye jiri onwe ya chụọ aja n'ihi ikpuchiri
anyị mmehie anyị, ma ọ bụghị naanị n'ihi mmehie anyị, ọ bụkwa n'ihi mmehie ụwa
niile.

*Ịhụnanya na Ịkpọ asị*

3 Otu a ka anyị si amata na anyị maara onye ọ bụ, ma ọ bụrụ na anyị erube isi nye
iwu ya niile. 4 Onye ahụ na-ekwu sị, "Amaara m ya," ma ọ dịghị eme ihe o nyere
n'iwu bụ onye okwu ụgha, eziokwu ahụ adịghịkwa n'ime ya. 5 Ma ọ bụrụ na onye
ọbụla na-erube isi n'okwu ya, n'ezie, ịhụnanya Chineke bụ ihe emere ka o zuo oke
n'ime ya. Ọ bụ otu a ka anyị si amata na anyị nọ n'ime ya. 6 Onye ọbụla na-ekwu na
ya bi n'ime ya kwesiri ibi ndụ dịka ya.

7 Ndị enyi m hụrụ n'anya, anaghị m edere unu ihe gbasara iwu ọhụrụ, kama ọ bụ
otu iwu ochie ahụ, nke na-adị site na mbụ. Iwu ochie a bụ nke e ziri unu ozi banyere
ya. 8 Ma otu ọ dị, ana m edere unu iwu ọhụrụ, nke bụ eziokwu n'ime ya na n'ime
unu. N'ihi na ọchịchịrị na-agafe, ezi ìhè ebidola ịchawapụta.

9 Onye ọbụla na-asị na ya nọ n'ìhè ma na-akpọ nwanna ya asị, na-anọ n'ọchịchịrị
ruo ugbu a. 10 Onye ọbụla na-ahụ nwanna ya n'anya na-ebi n'ime ihe ahụ ọ dịkwaghị

ìhè dị n'ime onye dị otu a bụ nke ga-eme ya ka ọ sụọ ngọngọ. 
11 Ma onye ọbụla na-
akpọ nwanna ya asị nọ n'ọchịchịrị, na-ejegharịkwa n'ime ọchịchịrị; ọ maghị ebe ọ
na-aga n'ihi na ọchịchịrị ahụ emeela ka o kpuo ìsì.

*Ihe mere e jiri dee ihe ndị a*

12 Ana m edere unu ihe ndị a ụmụntakịrị m
n'ihi na a gbagharala unu mmehie niile site n'aha ya.
13 Ana m edere unu ndị bụ nna ihe ndị a,
n'ihi na unu maara onye ahụ na-adị site na mbụ.
Ana m edere unu ụmụ okorobịa,
n'ihi na unu emeriela ajọ onye ahụ.

14 Ana m edere unu ụmụntakịrị,
n'ihi na unu maara nna ahụ.
Ana m edere unu ndị nna,
n'ihi na unu maara onye ahụ na-adị site na mbụ.
Ana m edere unu ụmụ okorobịa,
n'ihi na unu siri ike,
okwu Chineke na-ebikwa n'ime unu,
unu emeriekwala ajọ onye ahụ.

*Unu ahụla ụwa n'anya*

15 Kwụsịnụ ịhụ ụwa n'anya, ya na ihe niile dị n'ụwa. Ọ bụrụ na onye ọbụla ahụ
ụwa n'anya ịhụnanya nke Nna adịghị n'ime ya. 
16 N'ihi na ihe niile dị n'ụwa, ihe ndị
ahụ niile anụ ahụ anyị, na anya anyị na-achọ, ya na ịnya isi mmadụ banyere ihe ọ
bụ na ihe o nwere, esiteghị n'ebe Nna nọ, kama ha sitere n'ụwa. 
17 Ụwa na ọchịchọ
ọjọọ ya niile na-agafe agafe, ma onye ahụ na-eme uche Chineke ga-adị ndụ ruo mgbe
ebighị ebi.

*Onye iro Kraịst*

18 Ụmụ m, nke a bụ oge awa nke ikpeazụ. Dịka unu nụrụ na otu onye na-emegide
Kraịst na-abịa, ọ bụladị ugbu a, ọtụtụ ndị na-emegide Kraịst abịala. Otu a ka anyị si
amata na ọ bụ oge awa nke ikpeazụ. 
19 Ha si n'etiti anyị pụọ, ma ha abụghị ndị nke
anyị n'ezie. N'ihi na a sị na anyị na ha bụ otu, ha gaara aga n'ihu soro anyị nọdụ.
Ma ọpụpụ ha pụrụ na-egosi na ọ dịghị onye n'ime ha sonyere anyị.
20 Ma unu nwere otite mmanụ sitere n'Onye Nsọ ahụ, unu niile matakwara ihe
niile. 
21 Ya mere, anaghị m edegara unu akwụkwọ a dịka ndị na-amaghị eziokwu
kama n'ihi na unu maara ya na n'ihi na ọ dịghị okwu ụgha ọbụla na-esi n'eziokwu
ahụ apụta. 
22 Onye bụ onye okwu ụgha? Ọ bụ onye ahụ na-asị na Jisọs abụghị
Kraịst ahụ. Onye dị otu a bụ onye na-emegide Kraịst, n'ihi na ọ nabataghị Nna ahụ
na Ọkpara ya. 
23 Onye ọbụla jụrụ Ọkpara ahụ enwekwaghị Nna ahụ; ma onye ọbụla
nabatara Ọkpara ahụ nwekwara Nna ahụ.
24 Hụnụ na ihe unu nụrụ site na mmalite na-anọgide n'ime unu. Ọ bụrụ na ihe
unu nụrụ na mbido ebiri n'ime unu, unu ga-anọgide n'ime Ọkpara ahụ na n'ime
Nna ahụ. 
25 Ihe o kwere anyị na nkwa bụ nke a, ndụ ebighị ebi.
26 Ana m edere unu ihe ndị a banyere ndị ahụ na-agbalị iduhie unu. 
27 Ma unu onwe
unu, otite mmanụ ahụ unu natara n'aka ya na-anọgide n'ime unu, n'ihi nke a, onye
ozizi ọzọ adịghị unu mkpa. Dịka otite mmanụ ya na-ezi unu ihe banyere ihe niile,
bụrụkwa eziokwu, ọ bụghị okwu ụgha. Ya mere, dịka o zikwara unu, na-anọgidenụ
n'ime ya.

*Ụmụ Chineke*

28 Ugbu a ụmụntakịrị m, nọgidesienụ ike n’ime ya, ka ọ ga-abụ mgbe e mere ka
ọ pụta ìhè, anyị ga-abụ ndị obi siri ike, ndị ihere na-agaghị eme, n’ihu ya mgbe ọ
bịara.
29 Ọ bụrụ na unu matara na ọ bụ onye ezi omume, unu maara na onye ọbụla nke
na-eme ihe ziri ezi bụ onye a mụrụ site na ya.

# 3

*Ibi ndụ dị ka ụmụ Kraịst*

1 Lee ụdị oke ịhụnanya nke Nna ahụ nwere n’ebe anyị nọ, na-aga akpọ anyị ụmụ
Chineke. N’ezie, nke a bụ ihe anyị bụ. Ihe mere na ụwa amaghị anyị bụ n’ihi na ọ
maghị ya. 2 Ndị hụrụ n’anya, ugbu a anyị abụrụla ụmụ Chineke. Ọ bụ ezie na anyị
enweghị ike ịghọta ihe ọnọdụ anyị ga-abụ n’oge dị n’ihu, ma anyị maara nke ọma
na mgbe a ga-eme ka ọ pụta ìhè, a ga-emekwa ka anyị bụrụ ndị yiri ya, n’ihi na anyị
ga-ahụ ya dịka ọ dị. 3 Onye ọbụla nwere olileanya dị otu a kwesiri idebe onwe ya
ọcha, dị ka ya onwe ya dị ọcha.
4 Onye ọbụla na-eme mmehie na-emebi iwu. N’ezie mmehie bụ mmebi iwu. 5 Unu
maara na e mere ka ọ pụta ìhè iwepụ mmehie. Ọ dịkwaghị mmehie ọbụla dị n’ime
ya. 6 Onye ọbụla na-anọgide n’ime ya adịghị ebi ndụ ime mmehie, onye ọbụla nke
na-ebi ndụ mmehie ahụbeghị ya anya mgbe ọbụla, ọ matabekwaghị ya.
7 Ezigbo ụmụ m, unu ekwela ka onye ọbụla duhie unu, onye ọbụla na-eme ezi ihe
bụ onye ezi omume dị ka ya onwe ya bụ onye ezi omume. 8 Onye ọbụla na-eme
mmehie bụ nwa ekwensu, n’ihi na ekwensu bụ onye mmehie site na mmalite. Ihe
mere Ọkpara Chineke jiri pụta ìhè bụ ka ọ laa ọrụ niile nke ekwensu n’iyi. 9 Onye a
mụrụ site na Chineke adịghị anọgide na-eme mmehie, n’ihi na mkpụrụ Chineke na-
anọgide n’ime ya, ha enweghị ike ịnọgide na-eme mmehie, n’ihi na a mụrụ ha site
na Chineke. 10 Otu a ka anyị si amata ndị bụ ụmụ Chineke, na ndị bụ ụmụ ekwensu:
Onye ọbụla na-adịghị eme ihe ziri ezi abụghị nwa Chineke, otu a ka ọ dịkwa onye
na-adịghị ahụ ụmụnna ha n’anya.

*Hụ mmadụ ibe gị n’anya*

11 N’ihi na nke a bụ ozi ahụ unu nụrụ site na mmalite, ka anyị hụrịta onwe anyị
n’anya. 12 Ka anyị hapụ ịdị ka Ken, onye bụ nke ajọ onye ahụ, na onye gburu nwanne
ya. Gịnị mere o ji gbuo ya? Ọ bụ n’ihi na ọrụ ya jọrọ njọ, ma nke nwanne ya ziri
ezi. 13 Ka ọ gharakwa iju unu anya ụmụnna m, na ụwa kpọrọ unu asị. 14 Anyị
matara na anyị esitela n’ọnwụ baa na ndụ n’ihi na anyị na-ahụ ụmụnna* anyị n’anya.
Onye ọbụla na-adịghị ahụ ibe ya n’anya na-anọgide n’ọnwụ. 15 Onye ọbụla na-akpọ
nwanna ya asị bụ ogbu mmadụ, unu matakwara na o nweghị onye ọbụla bụ ogbu
mmadụ nwere ndụ ebighị ebi n’ime ya.
16 Ọ bụ otu a ka anyị sị mata ihe bụ ịhụnanya, na Jisọs tọgbọrọ ndụ ya n’ihi anyị.
Anyị kwesikwara ịtọgbọ ndụ anyị n’ihi ụmụnna anyị. 17 Ọ bụrụ na onye ọbụla nwere
akụ nke ụwa, ahụ nwanna ya ka ọ nọ na mkpa ma o nweghị obi ebere n’ebe ọ nọ, olee
otu ịhụnanya Chineke si dịrị n’ime ya? 18 Ụmụntakịrị m, ka ịhụnanya anyị ghara ịbụ
naanị n’egbugbere ọnụ maọbụ nke okwu efu, kama ka ọ bụrụ nke sitere n’eziokwu
nakwa n’omume anyị.
19 Anyị ga-esitekwa na nke a mata na anyị bụ ndị nke eziokwu ahụ ma matakwa
otu anyị ga-esi mee ka obi anyị kwenye n’ihu ya. 20 N’ihi na ọ bụrụ na obi anyị
amaa anyị ikpe, Chineke dị ukwuu karịa obi anyị, ọ mazukwara ihe niile. 21 Ndị m
hụrụ n’anya, ọ bụrụ na obi anyị amaghị anyị ikpe, anyị nwere nkwuwa okwu n’ihu
Chineke 22 na-anatakwa ya ihe ọbụla anyị rịọrọ n’ihi na anyị na-erube isi n’iwu ya,

* **3:14** 3:14 Maọbụ, anyị na-ahụrịta onwe anyị n’anya

na-emekwa ihe na-atọ ya ụtọ. 23 Nke a bụkwa iwu ya: ka anyị kwere n’aha Ọkpara
ya Jisọs Kraịst, ya na ịhụrịta ibe anyị n’anya dịka o nyere anyị n’iwu. 24 Ndị niile
na-erube isi nye iwu ya na-anọgidesikwa ike n’ime ya, ya onwe ya na-anọgidesikwa
ike n’ime ndị ahụ! Otu a ka anyị si mara na ọ na-anọgidesike n’ime anyị: Ọ bụ site
na Mmụọ nke o nyere anyị.

# 4

*Nwapụta mmụọ niile*

1 Ndị enyi m hụrụ n’anya, unu ekwenyela okwu mmụọ niile, kama nwaleenụ mmụọ
niile ahụ i mata ma ha si na Chineke, n’ihi na ọtụtụ ndị amụma ụgha apụọla baa
n’ime ụwa. 2 Otu a ka unu ga-esi mata Mmụọ nke Chineke: Mmụọ ọbụla nke na-
ekwupụta na Jisọs Kraịst abịala n’anụ ahụ sitere na Chineke. 3 Ma mmụọ ọbụla
nke na-adịghị ekwupụta Jisọs esiteghị na Chineke, mmụọ dị otu a bụ nke onye ahụ
na-emegide Kraịst nke unu nụrụ na ọ ga-abịa, ma ugbu a ọ bịala n’ụwa.
4 Ụmụntakịrị m, unu bụ ndị sitere na Chineke, unu emeriekwala ha n’ihi na onye
ahụ nke bi n’ime unu dị ukwuu karịa onye ahụ nọ n’ime ụwa. 5 N’ihi na ndị a si
n’ime ụwa pụta. Ya mere, ihe ha na-ekwu okwu ya bụ naanị ihe banyere ụwa. Ụwa
na-aṅakwa ha ntị. 6 Anyị sitere na Chineke, onye ọbụla maara Chineke na-ege anyị
ntị, ma onye ọbụla na-esiteghị na Chineke anaghị ege anyị ntị. Ọ bụ otu a ka anyị si
amata mmụọ eziokwu na mmụọ nke okwu ụgha.

*Chineke bụ ịhụnanya*

7 Ndị m hụrụ n’anya, o kwesiri ka anyị hụrịtaa onwe anyị n’anya, n’ihi na ịhụnanya
na-esi n’ebe Chineke nọ abịa. Onye ọbụla nwere ịhụnanya bụ onye amụrụ site na
Chineke, ọ makwara Chineke. 8 Onye na-enweghị ịhụnanya amaghị Chineke, n’ihi na
Chineke bụ ịhụnanya. 9 E siri otu a mee ka ịhụnanya Chineke n’ebe anyị nọ pụta ìhè:
Chineke zitere naanị otu Ọkpara ya n’ụwa ka anyị nwee ndụ site na ya. 10 Nke a bụ
ihe a na-akpọ ịhụnanya, ọ bụghị na anyị hụrụ Chineke n’anya kama na ọ hụrụ anyị
n’anya ma zite Ọkpara ya dịka aja nke juru ya obi maka mmehie niile anyị. 11 Ndị m
hụrụ n’anya, ebe ọ bụ na Chineke si otu a hụ anyị n’anya, anyị kwesiri ịhụrịta onwe
anyị n’anya. 12 O nwebeghị mgbe ọbụla anyị ji anya anyị hụ Chineke anya, ma ọ bụrụ
na anyị ahụ ibe anyị n’anya, Chineke na-ebi n’ime anyị. A na-emekwa ka ịhụnanya
ya zuo oke n’ime anyị.
13 O tinyekwala Mmụọ Nsọ ya n’ime anyị igosi anyị na o bi n’ime anyị, na anyị
bikwa n’ime ya. 14 Ma anyị onwe anyị ahụla ma na-agbakwa ama na Nna ahụ zitere
Ọkpara ya ka ọ bụrụ Onye nzọpụta nke ụwa. 15 Chineke bi n’ime onye ọbụla nke na-
ekwupụta na Jisọs bụ Ọkpara Chineke. Onye dị otu a bikwa n’ime Chineke. 16 Anyị
maara ma kwerekwa n’ịhụnanya Chineke nwere n’ebe anyị nọ.
Chineke bụ ịhụnanya. Onye ọ bụlakwa na-ebi ndụ ịhụnanya na-anọgide n’ime
Chineke. Chineke n’onwe ya na-ebinyekwara onye dị otu a. 17 N’ụzọ dị otu a, a na-
eme ka ịhụnanya zuo oke n’etiti anyị, ka anyị nwee ike inwe nkwuwa okwu n’ụbọchị
ikpe ahụ, n’ihi na dịka ya onwe ya dị, otu a ka anyị onwe anyị dịkwa n’ụwa nke a.
18 Ịtụ egwu adịghị n’ebe ịhụnanya dị, kama ịhụnanya zuruoke na-achụpụ egwu n’ihi
na egwu na ntaramahụhụ na-arụkọ ọrụ, onye ọbụla nke na-atụ egwu bụ onye na-
ezubeghị oke n’ịhụnanya.
19 Anyị hụrụ ya n’anya n’ihi na o buru ụzọ hụ anyị n’anya. 20 Onye ọbụla na-asị,
“Ahụrụ m Chineke n’anya,” ma nọgide na-akpọ nwanna ya asị, onye ahụ bụ onye
ụgha. N’ihi na ọ bụrụ na ọ hụghị nwanna ya n’anya, bụ onye ọ na-ahụ anya kwa
ụbọchị, ọ pụghị ịhụ Chineke n’anya bụ onye ọ na-ahụbeghị anya. 21 Iwu o nyere
anyị bụ, “Onye ọbụla hụrụ Chineke n’anya aghakwaghị ịhụ nwanna ya n’anya.”

# 5

*Okwukwe n'ime Ọkpara Chineke*

[1] Onye ọbụla kweere na Jisọs bụ Kraịst bụ onye amụrụ site na Chineke. Onye ọbụla
nke hụkwara Nna n'anya na-ahụkwa Ọkpara ya n'anya. [2] Ọ bụ otu a ka anyị si amata
na anyị hụrụ ụmụ Chineke n'anya, mgbe anyị na-ahụ Chineke n'anya, na-erubekwa
isi n'iwu ya niile. [3] Nke a bụ ịhụnanya Chineke, na anyị ga-edebe iwu ya. Iwu ya
adịghịkwa arọ. [4] N'ihi na onye ọbụla amụrụ site na Chineke na-emeri ụwa. Nke a
bụkwa mmeri ahụ na-emeri ụwa, ọ bụladị okwukwe anyị. [5] Onye pụrụ imeri ụwa,
ma ọ bụghị naanị onye ahụ kweere na Jisọs bụ Ọkpara Chineke?

[6] Ọ bụ onye ahụ bịara site na mmiri na ọbara, ya bụ Jisọs Kraịst. O siteghị naanị na
mmiri bịa, kama o sitere na mmiri na ọbara. Ọ bụkwa Mmụọ Nsọ na-agba ama maka
ya, n'ihi na Mmụọ Nsọ bụ eziokwu. [7] N'ihi na ha dị atọ gbara akaebe: [8] Mmụọ Nsọ,*
na mmiri na ọbara, ha atọ kwekọrịtara. [9] Ọ bụrụ na anyị nabata akaebe nke mmadụ
gbara, akaebe nke Chineke gbara dị ukwuu karịa, n'ihi na ọ bụ akaebe Chineke gbara
banyere Ọkpara ya. [10] Onye ọbụla kweere n'Ọkpara Chineke nwere ọgbụgba ama a
n'obi ya. Ma onye ọbụla na-ekwereghị na Chineke emeela ya ka ọ bụrụ onye ụgha,
n'ihi na o kwereghị n'ama ahụ Chineke gbara banyere Ọkpara ya. [11] Ama ahụ bụkwa
nke a, na Chineke enyela anyị ndụ ebighị ebi, ndụ a dịkwa n'ime Ọkpara ya. [12] Onye
ọbụla nwere Ọkpara ahụ nwere ndụ ma onye ọbụla na-enweghị Ọkpara Chineke
enweghị ndụ.

*Ime okwu ka o wee anya*

[13] Ana m edere unu ihe ndị a unu ndị kweere n'aha Ọkpara Chineke, ime ka unu
mata na unu nwere ndụ ebighị ebi. [14] Nkwuwa okwu anyị nwere na ya bụ, na ọ bụrụ
na anyị arịọ ihe ọbụla dịka ọchịchọ obi ya siri dị, ọ na-anụ olu anyị. [15] Ọ bụrụkwanụ
na anyị matara na ọ na-anụ olu anyị mgbe ọbụla anyị rịọrọ ya ihe, anyị na-amatakwa
na anyị anatala ihe ọbụla anyị rịọrọ ya.

[16] Ọ bụrụ na onye ọbụla ahụ ka nwanna ya na-eme mmehie nke na-adịghị eduba
n'ọnwụ, ya kpee ekpere, Chineke ga-enyekwa onye ahụ ndụ. Nke a bụ maka ndị ahụ
mmehie ha na-abụghị nke na-eduba n'ọnwụ. E nwere mmehie na-eduba n'ọnwụ.
Asịghị m unu kpee ekpere maka nke ahụ. [17] Ajọ omume niile bụ mmehie, ma ọ dị
mmehie nke na-adịghị eduba n'ọnwụ.

[18] Anyị matara na onye ọbụla amụrụ site na Chineke anaghị aga n'ihu na-eme
mmehie, kama onye ahụ nke amụrụ site na Chineke na-echekwa ha, ajọ onye ahụ
adịghị emetụkwa ha aka. [19] Anyị maara na anyị bụ ụmụ Chineke, ụwa niile nọkwa
n'okpuru ike ajọ onye ahụ. [20] Anyị matakwara na Ọkpara Chineke abịala, nyekwa
anyị nghọta ka anyị mara ya, onye bụ eziokwu. Anyị nọ n'ime onye ahụ bụ eziokwu,
ọ bụladị n'ime Ọkpara ya, bụ Jisọs Kraịst. Ya onwe ya bụ ezi Chineke bụrụkwa ndụ
ebighị ebi.

[21] Ụmụ m, wezuganụ onwe unu site n'arụsị niile.

* **5:8** 5:8 N'akwụkwọ ndị ọhụrụ nke Vụlget na-agba akaebe n'eluigwe: Nna, Okwu ahụ na Mmụọ Nsọ, ha atọ bụ otu. 8 Ha dịkwa atọ na-agba akaebe n'ụwa: (nke a adịghị n'akwụkwọ Griik ọbụla tupu senchuri nke iri na anọ)

# 2 Jọn

1 Ọ bụ okenye ahụ,

Na-edegara nwanyị ahụ onye Chineke họpụtara, na ụmụ ya akwụkwọ a, bụ ndị m
hụrụ n'anya n'ime eziokwu. Ọ bụghị naanị m kama ndị niile maara eziokwu ahụ.
2 N'ihi eziokwu ahụ nke dị n'ime anyị, nke ga-adịgidekwa n'ime anyị ruo mgbe ebighị
ebi:

3 Amara, na ebere, na udo nke sitere na Chineke Nna na Jisọs Kraịst, bụ Ọkpara
Nna ahụ dịnyere anyị n'eziokwu n'ịhụnanya.

*Eziokwu na ịhụnanya*

4 Apụghị m ịkọ ụdị aṅụrị m nwere mgbe m hụrụ na ụfọdụ ụmụ gị na-ebi ndụ
ịgbaso eziokwu dịka ihe Nna nyere anyị n'iwu. 5 Ma ugbu a, ezi nwanyị, ọ bụghị
iwu ọhụrụ ka m na-edere gị kama nke ahụ e nyere anyị site na mmalite. Ana m arịọ
ka anyị hụrịta ibe anyị n'anya. 6 Nke a bụ ịhụnanya ahụ: ka anyị na-ejegharị n'irube
isi n'iwu ya niile. Dịka unu si nụ ya site na mmalite, unu ahapụkwala ijegharị n'ime
ya.

*Ndị ozizi ụgha*

7 N'ihi na ọtụtụ ndị nduhie apụọla baa n'ụwa, bụ ndị na-adịghị ekwenye na Jisọs
Kraịst bịara n'oyiyi mmadụ. Onye ọbụla dị otu a bụ onye nduhie bụrụkwa onye
na-emegide Kraịst. 8 Lezienụ anya, ka unu ghara itufu ụgwọ ọrụ nke anyị dọgburu
onwe anyị n'ọrụ maka ya, kama ka unu nata ụgwọ ọrụ unu n'uju. 9 Onye ọbụla
na-adịghị anọgide n'ozizi Kraịst, nke na-esite na ya na ewezuga onwe ya, enweghị
Chineke. Ma onye ọbụla na-anọgide n'ozizi ahụ nwere Nna na Ọkpara ya. 10 Ọ bụrụ
na onye ọbụla abịa izi unu ihe ọzọ dị iche site n'ozizi a, unu akpọbatala ya n'ụlọ
unu, maọbụ nabatakwa ya. 11 N'ihi na onye nabatara ya ga-eso onye dị otu a keta
oke n'ajọ omume ya.

12 Ọ bụ ezie na enwere m ọtụtụ ihe m chọrọ idere unu, ma achọghị m iji akwụkwọ
na inki dee ha. Kama, ana m ele anya ịbịa leta unu ka mụ na unu kwukọrịta okwu
ihu n'ihu, ka e sikwa otu a mee ka ọṅụ anyị zuo oke.

13 Ụmụ nwanne gị nwanyị, bụ onye a họpụtara, na-ekele unu.

# 3 Jọn

1 Ọ bụ okenye ahụ,

Na-edegara Gaiọs, onye ahụrụ n’anya akwụkwọ a, bụ onye m hụrụ n’anya n’eziokwu.

2 Onye m hụrụ n’anya, ekpere m bụ na ahụ ga-esi gị ike, ka ihe na-agara gị nke
ọma, dịka ọ na-agara mkpụrụobi gị nke ọma. 3 Aṅụrịrị m ọṅụ nke ukwu, mgbe
ụfọdụ ụmụnna bịara gbaa ama banyere ikwesi ntụkwasị obi gị nye eziokwu, na otu
i si nọgide na-agbaso eziokwu ahụ. 4 O nweghị ihe na-enye m ọṅụ karịa ịnụ na ụmụ
m na-agbaso eziokwu.

*Gaiọs rụziri ọrụ ya*

5 Onye m hụrụ n’anya, i kwesiri ntụkwasị obi n’ihe ọbụla nke ị na-emere ụmụnna,
ọ bụ ezie na ha bụ ọbịa nye gị. 6 Ha akọọlara nzukọ banyere ịhụnanya gị. Biko, mgbe
ha na-apụ, nyekwara ha aka n’ije ha n’ụzọ ga-enye Chineke otuto. 7 Ọ bụ n’ihi aha[*]
ahụ ka ha biliri ije, na-anaraghị enyemaka ọbụla site n’aka ndị na-ekweghị ekwe.
8 Nke a mere o ji kwesi ekwesi na anyị ga-elekọta ndị dị otu a anya ka anyị bụrụ ndị
so ha na-ejikọta aka n’otu n’ọrụ eziokwu ahụ.

*Esokwala nzọ ụkwụ Diotrefis*

9 Edere m akwụkwọ ozi zigara nzukọ ahụ, ma Diotrefis onye ọ na-atọ ụtọ ịbụ onye
mbụ, anabataghị anyị nke ọma. 10 Ya mere, ọ bụrụ na m abịa, aga m eme ka ihe niile
ọ na-eme na ọtụtụ ihe niile ọ na-ekwu megide anyị pụta ìhè. Ọ bụghị naanị na afọ
ejughi ya n’ihi ihe ndị a niile, ọ jụrụ ịnabata ndị ụmụnna, ma na-egbochi ndị ọzọ
chọrọ ịnabata ha ka ha ghara ime otu ahụ. Ọ na-achụpụkwa ha site n’ụlọ nzukọ.
11 Onye m hụrụ n’anya, eṅomila ihe dị njọ kama ṅomie ihe dị mma. Onye ọbụla
na-eme ezi ihe na-egosi na o si na Chineke. Onye ọ bụlakwa na-eme ajọ ihe ahụbeghị
Chineke anya. 12 Onye ọbụla na-agba ezi ama banyere Dimitriọs ọ bụladị eziokwu
ahụ n’onwe ya. Anyị na-ekwukwa ezi ihe banyere ya. Ị makwaara na ọ bụ ezi ama
ka anyị na-agba.

13 Enwere m ọtụtụ ihe m chọrọ idere gị n’akwụkwọ, ma achọghị m iji mkpisi odee
na inki dee ha. 14 Ọ bụ olileanya m ịbịa ịhụ gị n’oge na-adịghị anya. Mgbe ahụ anyị
ga-anọdụ ala kwuo ihe niile n’ihu n’ihu.

15 Ka udo dịrị gị.

Ndị enyi niile nọ n’ebe a na-ekele gị. Kelekwa ndị enyi niile nọ n’ebe ahụ n’aha n’aha.

* **1:7** 1:7 Aha a na-ekwu banyere ya bụ Kraịst.

# Jud

1 Jud, odibo Jisọs Kraịst, na nwanne Jemis,

Na-edegara ndị niile a kpọrọ, ndị ahụrụ n'anya n'ime Chineke, bụ Nna, na ndị
nọkwa n'okpuru nchebe Jisọs Kraịst akwụkwọ ozi a:

2 Ka ebere na udo na ịhụnanya bara unu ụba.

*Mmehie na ịla n'iyi nke ndị ajọ omume*

3 Ndị m hụrụ n'anya, ebe ọ na-anụ m ọkụ n'obi idere unu akwụkwọ banyere
nzọpụta ahụ anyị nwekọrọ n'otu, ma ahụrụ m mkpa ọ dị idere unu akwụkwọ a,
ịrịọ unu ka unu guzosie ike buo agha ichebe okwukwe ahụ, nke e nyefere ndị nsọ
n'aka idebe. 4 N'ihi na ụfọdụ mmadụ, bụ ndị e dere ihe banyere ọmụma ikpe dịrị ha,
siterị n'oge gara aga, ezobatala n'etiti unu. Ha bụ ndị na-adịghị asọpụrụ Chineke, ndị
na-agbanwe amara Chineke anyị, mee ya ka ọ bụrụ ohere ha nwere ibi ndụ ịkwa iko,
na nke ịgọnarị Jisọs Kraịst, onye naanị ya bụ Onye kachasị ihe niile elu na Onyenwe.
5 Ọ bụ ezie na unu maa ihe ndị a niile, ma achọrọ m ichetara unu otu Onyenwe anyị
si zọpụta ndị ya site n'ala Ijipt, ma mesịa laa ndị niile na-ekweghị ekwe n'iyi. 6 Ndị
mmụọ ozi nupuru isi, ndị na-anọgideghị n'ọnọdụ e nyere ha, kama ha si n'ebe obibi
ha gbapụ. O jirila igwe kee ha agbụ ebighị ebi, debe ha n'ọchịchịrị n'ime ala, ebe ha
ga-anọ ruo ụbọchị ikpe ahụ dị egwu. 7 Otu a kwa, Sọdọm na Gọmọra na obodo niile
gbara ha gburugburu, bụ ndị nyefere onwe ha na ndụ ịkwa iko nakwa omume ibi
ndụ ọjọọ dị iche iche nke anụ ahụ, bụ ihe ịdọ aka na ntị nye ndị mmadụ site n'ahụhụ
ha tara n'ihi mmehie n'ime ọkụ ebighị ebi.
8 N'ụzọ dị otu a kwa, ndị a na-emerụ anụ ahụ ha n'irọ nrọ ha, na-ajụkwa ike
ọchịchị niile, ma na-ekwulukwa ndị ahụ jupụtara n'ebube nke anya na-adịghị ahụ.
9 Ma Maikel onyeisi ndị mmụọ ozi, mgbe o guzogidere ekwensu na-arụrịtakwa ụka
banyere ozu Mosis, ya onwe ya enweghị anya ike ịma ya ikpe n'ihi okwu nkwulu,
kama ọ sịrị, "Ka Onyenwe anyị baara gị mba." 10 Ma ndị a na-ekwulu ihe niile ọbụla
ha na-aghọtaghị. Dịka ụmụ anụmanụ a na-azụghị azụ, ha na-eme ihe ọbụla dị ha
mma n'anya si otu a na-ala onwe ha n'iyi.
11 Ahụhụ ga-adịrị ha, n'ihi na ha soro nzọ ụkwụ Ken, nyefee onwe ha na ndahie
Belam n'ihi ihe nrite n'uru, ma laa n'iyi na nnupu isi Kora.
12 Ndị a bụ ihe ntụpọ n'etiti unu n'oge mmemme oriri ịhụnanya unu, ha na-eso unu
na-erikọ nri na-atụghị egwu ọbụla. Ha bụ ndị na-elekọta naanị onwe ha. Ha dị ka
igwe ojii nke na-adịghị ezo mmiri, nke ifufe na-ebugharị. Ha bụ osisi a na-ahụ n'oge
ọkọchị nke na-adịghị amị mkpụrụ, nke e si na mgbọrọgwụ ya hoputa, nke nwụrụ
anwụ ugboro abụọ.* 13 Ha bụ ebili mmiri na-amagharị n'osimiri, nke na-asọpụta
ihere ha dịka ụfụfụ, kpakpando na-awagharị awagharị, bụ ndị nke a kwadooro ebe
kachasị ịgba ọchịchịrị ruo ebighị ebi.
14 Ọ bụ n'ihi ihe ndị a ka Enọk, onye bụ agbụrụ nke asaa site n'Adam buru n'amụma
banyere ha sị, "Lee! Onyenwe anyị na-abịa, ya na puku kwụrụ puku ndị nsọ ya. 15 Ọ
na-abịa ikpe mmadụ niile ikpe, na ịtụ ha niile mmehie ajọ omume niile ha n'anya,
bụ nke ha mere n'ụzọ na-ezighị ezi. Tinyere okwu ọjọọ niile nke ndị mmehie ndị
na-adịghị asọpụrụ Chineke kwuru megide ya." 16 Ndị a bụ ndị na-atamu ntamu oge

* **1:12** 1:12 Maọbụ, ha nwụrụ anwụ n'ezie

niile, ndị o nweghị ihe ọbụla na-adị ha mma. Ndị na-agbaso agụ ihe ọjọọ niile nke anụ ahụ ha chọrọ. Ha na-anya isi banyere onwe ha, na-aja ndị ọzọ mma; ka ha nwee ike nweta ihe ha na-achọ n'aka ha.

### *Ịdọ aka na ntị na ndụmọdụ*

17 Ma unu, ndị m hụrụ n'anya, chetanụ ihe ndị ozi Onyenwe anyị Jisọs Kraịst kwuru
na ha ga-emezu. 18 N'ihi na ha sịrị unu, "N'ọgwụgwụ oge ahụ, ndị na-eji ihe niile
na-emere ihe ọchị ga-adị. Ndị na-agbaso agụ ihe ọjọọ niile nke anụ ahụ ha chọrọ.
19 Ọ bụ ndị anụ ahụ ha na-achị, ndị na-enweghị Mmụọ Nsọ n'ime ha, bụ ndị na-eweta
nkewa n'etiti unu."
20 Ma unu, ndị m hụrụ n'anya, nọgidenụ na-ewuli onwe unu elu na ntọala
okwukwe unu dịkarịsịrị nsọ. Na-ekpekwanụ ekpere n'ime Mmụọ Nsọ. 21 Doonụ
onwe unu n'okpuru ịhụnanya Chineke, dịka unu na-echere ebere Onyenwe anyị Jisọs
Kraịst nke na-eduba na ndụ ebighị ebi.
22 Gosinụ ụfọdụ ndị na-enwe obi abụọ ebere. 23 Zọpụtanụ ndị ọzọ site n'ịgụpụta
ha n'ọkụ. N'ebe ndị ọzọ nọ gosinụ ha obi ebere, kama jirinụ ịtụ egwu mee nke a,
kpọọnụ ọ bụladị uwe nke anụ ahụ mmehie merụrụ asị.

### *Ekpere ito Chineke*

24 Ugbu a, nye onye ahụ pụrụ ichebe unu, ka unu ghara ịda, onye pụrụ ịkpọbata
unu n'ihu ya dị ebube n'ọnọdụ enweghị ntụpọ ọbụla n'oke ọṅụ 25 ka otuto, na ịdị
ukwuu, na ike, na ikike ọchịchị; dịrị Onye naanị ya bụ Chineke, Onye nzọpụta anyị,
site na Jisọs Kraịst Onyenwe anyị, tupu n'ọgbọ niile ebido, ka ọ dịrị ya ugbu a, na
mgbe niile ebighị ebi. Amen.

# Mkpughe

*Ihe e dere n’akwụkwọ a*
1 Mkpughe banyere Jisọs Kraịst, nke Chineke nyere ya igosi ndị ohu ya, ime ka ha
mata ihe ndị ahụ na-aga ime n’oge na-adịghị anya. O mere ka amata nke a site na
izite mmụọ ozi ya ka ọ bịakwute ohu ya Jọn, 2 onye a gbara ama banyere ihe niile
ọ hụrụ, okwu Chineke, na ọgbụgba ama Jisọs Kraịst. 3 Ngọzị na-adịrị onye ahụ na-
agụpụta okwu ndị a dị n’amụma a. Ngọzị na-adịkwara ndị na-anụ ya, ma nabata ihe
e dere n’ime ya n’obi ha. N’ihi na oge mmezu ha dị nso.

*Ekele na otuto*
4 Ọ bụ m Jọn na-ede akwụkwọ a,

Na-edere ya nzukọ asaa dị na mpaghara Eshịa:

Ka amara na udo nke sitere na Onye ahụ na-adị, Onye ahụ dịkwaarị, na Onye
ahụ na-aga ịbịa dịrị unu, sitekwa n’ebe Mmụọ asaa* ahụ na-eguzo n’ihu ocheeze ya,
5 sitekwa n’aka Jisọs Kraịst, onye bụ onyeama kwesiri ntụkwasị obi, na onye mbụ
sitere na ndị nwụrụ anwụ bilie, nakwa onye na-achị ndị eze niile nke ụwa.

Nye onye ahụ hụrụ anyị n’anya ma meekwa ka anyị site n’ọbara ya nwere onwe
anyị pụọ na mmehie. 6 O mere ka anyị bụrụ alaeze, ndị nchụaja nye Nna ya bụ
Chineke. Ọ bụ ya ka otuto niile na ike niile dịịrị ruo mgbe niile ebighị ebi. Amen.
7 “Lee, ọ na-abịa ya na igwe ojii.†
Anya niile ga-ahụkwa ya,
ọ bụladị ndị ahụ niile mapuru ya ahụ, ha ga-ahụ ya.”‡
Mmadụ niile nọ n’ụwa “ga-erukwa ụjụ n’ihi ya.”
Otu a ka ọ ga-adị! Amen.
8 Otu a ka Onyenwe anyị Chineke kwuru, “Abụ m Alfa na Omega, onye na-adị, onye
ahụ dịkwaarị, na onye ahụ na-aga ịbịa, bụ onye pụrụ ime ihe niile.”

*Ọhụ Jọn hụrụ banyere Kraịst*
9 Mụ onwe m, Jọn, nwanne unu nwoke, onye unu na ya na-enwekọ ahụhụ na
n’alaeze, na ntachiobi nke bụ oke anyị n’ime Jisọs. Anọ m n’ogbe ala ntakịrị mmiri
gbara gburugburu a na-akpọ Patmọs n’ihi okwu Chineke na-agba ama banyere Kraịst.
10 N’ụbọchị Onyenwe anyị, anọ m n’ime Mmụọ ma nụ otu oke olu dara ụda dị ka opi
ike n’azụ m, 11 na-ekwu, “Dee ihe ị na-ahụ ugbu a n’akwụkwọ zigara ya nzukọ asaa
dị n’Efesọs na Smyrna na Pegamọm na Tiatira na Sardis, na Filadelfia na Laodisia.”
12 Mgbe m chigharịrị, lee anya ịhụ onye na-agwa m okwu, ahụrụ m ihe ịdọba oriọna
asaa e ji ọlaedo kpụọ. 13 N’etiti ihe ịdọba oriọna ndị a, ahụrụ m otu onye yiri nwa
nke mmadụ,§ ka o guzo. O yikwasịrị onwe ya uwe mwụda. Ma o nwere ihe okike
na-acha ọlaedo e ji kee gburugburu obi ya. 14 Isi ya na agịrị isi ya na-acha vaa dịka
ogho ọcha, dịka akụmmiri igwe.* Anya ya abụọ yiri ire ọkụ na-enwusi ike. 15 Ụkwụ

* **1:4** 1:4 N’akwụkwọ Nsọ, asaa dị ka ọnụọgụgụ na-egosipụta izuoke. † **1:7** 1:7 Dan 7:13 ‡ **1:7** 1:7 Zek 12:10
§ **1:13** 1:13 Dan 7:13 * **1:14** 1:14 Nke a ka ndị ọcha na-akpọ snoo.

ya abụọ dị ka bronz a nụchasịrị nnọọ nke ọma hichapụkwa ya. Olu okwu ya na-ada
dị ka ụzụ mmiri na-achị achị. 16 O jidere kpakpando asaa n’aka nri ya, mma agha
dị nkọ nwere ihu abụọ sikwa n’ọnụ ya na-apụta. Ihu ya na-egbu maramara dịka
anyanwụ na-acha n’ike ya niile.
17 Mgbe m hụrụ ya, adara m n’ala n’ụkwụ ya dịka onye nwụrụ anwụ. Ma o weere
aka nri ya metụ m n’ahụ na-ekwu sị, “Atụla egwu. Abụ m Mmalite na Ọgwụgwụ.
18 Abụ m onye ahụ na-adị ndụ. Anwụrụ m anwụ, ma lee, ana m adị ndụ ruo mgbe
niile ebighị ebi. Ọ bụkwa m ji ọtụghe igodo nke ọnwụ na nke ọkụ ala mmụọ.
19 “Ya mere, detuo ihe niile ị hụrụla, ihe dị ugbu a na ihe gaje ime na mgbe na
adịghị anya. 20 Nke a bụ ihe omimi nke kpakpando asaa ahụ ị hụrụ n’aka nri m, na
ihe ịdọba oriọna asaa ndị ahụ pụtara. Kpakpando asaa ahụ bụ ndị mmụọ ozi ụlọ
nzukọ asaa ahụ. Osisi oriọna asaa ahụ bụ ụlọ nzukọ ndị ahụ n’onwe ha.

# 2

*Nzukọ dị n’Efesọs*

1 “Dee akwụkwọ nye mmụọ ozi ụlọ nzukọ dị n’Efesọs, sị ya:

Ihe ndị a bụ okwu si n’ọnụ onye ahụ na-ejide kpakpando asaa n’aka ya, ma na-ejegharịkwa n’etiti ihe ịdọba oriọna ọlaedo asaa ndị ahụ.

2 Amaara m ihe niile banyere ọrụ gị niile. Ahụkwala m ịrụsị ọrụ ike gị na
ntachiobi gị. Amaara m na ị dịghị anagide ndị ajọ omume, na ị nwaleela ndị
ahụ niile na-akpọ onwe ha ndị ozi, ma ha abụghị ndị ozi n’ezie, chọpụtakwa na ha
bụ ndị ụgha. 3 I jirila ntachiobi nagide nhụju anya n’ihi aha m, ma ike agwụghị gị.
4 Ma enwere m ihe ndị a megide gị. Ị hapụla ịhụnanya mbụ ahụ i nwere. 5 Cheta
ọnọdụ i si na ya daa. Chegharịa, mekwa ihe ndị ahụ ị na-eme na mbụ. Ọ bụrụ na
i meghị otu a, aga m abịa wepụ ihe ịdọba oriọna gị site n’ọnọdụ ya. 6 Ọ bụladị otu
a, o nwere ihe ụfọdụ dị mma banyere gị. Ị kpọrọ ọrụ ọjọọ nke ndị Nikolaitan asị,
dịka mụ onwe m si kpọọ ya asị.
7 Onye ọbụla nwere ntị, ya nụrụ ihe Mmụọ Nsọ na-agwa nzukọ. Onye ahụ na-emeri emeri ka m ga-enye ike iri mkpụrụ sitere n’osisi ndụ ahụ nke dị na paradaịs nke Chineke.

*Nzukọ dị na Smyrna*

8 “Dee akwụkwọ nye mmụọ ozi ụlọ nzukọ dị na Smyrna, sị ya:

Ihe ndị a bụ okwu ahụ bụ Mmalite na Ọgwụgwụ ihe niile. Onye nwụrụ anwụ ma dịkwa ndụ ọzọ.

9 Amaara m mkpagbu gị niile na ịda ogbenye gị. Ma n’ezie, ị bụ ọgaranya.
Amaara m ihe banyere nkwutọ niile ndị ahụ na-akpọ onwe ha ndị Juu na-ekwutọ
gị, ma ha abụghị ndị Juu, n’ezie ha bụ ụlọ nzukọ ekwensu. 10 Atụkwala egwu n’ihi
ihe ahụ gaje ịbịakwasị gị. N’ihi na ekwensu n’onwe ya gaje ime ka a tụba ụfọdụ n’ime ndị gị n’ụlọ mkpọrọ, ka o jiri ya nwalee gị. A ga-akpagbu unu abalị iri. Ma gosi onwe gị onye kwesiri ntụkwasị obi, ọ bụladị ruo mgbe ọnwụ ga-abịakwasị gị. Emesịa, a ga m enye gị okpueze ahụ, bụ ndụ.
11 Onye ọbụla nwere ntị ya nụrụ ihe Mmụọ Nsọ na-agwa nzukọ niile. Onye ọbụla na-emeri emeri, ọnwụ nke ugboro abụọ agaghị emekpa ya ahụ.

*Nzukọ dị n’obodo Pegamọm*

12 “Dee akwụkwọ nye mmụọ ozi ụlọ nzukọ dị Pegamọm, sị ya:

Ndị a bụ okwu si n’ọnụ onye ahụ ji mma agha ahụ dị nkọ nke nwere ihu abụọ
n’aka ya.

13 Amaara m ebe i bi, bụ obodo ebe ekwensu nwere ocheeze ya. Ma ị na-anọgidesi
ike n’aha m. Ị jụrụ ịgọnarị okwukwe gị n’ime m, ọ bụladị n’oge Antipas onyeama
m kwesiri ntụkwasị obi, bụ onye e gburu n’obodo unu, ebe ekwensu bi.
14 Ma enwere m ihe ole ma ole megide gị. I nwere ụfọdụ mmadụ ebe ahụ, ndị
jidesiri nkuzi Belam ike, bụ onye kuziiri Balak ka o raa ụmụ Izrel ụra nke mere
ka ha mehie, rie ihe a chụrụ n’aja nye arụsị, kwaakwa iko.* 15 N’otu aka ahụ, i
nwekwara ụfọdụ mmadụ ndị jidesiri nkuzi Nikolaitan ike. 16 Ya mere, chegharịa!
Ma ọ bụghị otu a, aga m abịakwute gị ọsịịsọ jiri mma agha dị m n’ọnụ buso ha
agha.
17 Onye ọbụla nwere ntị, ya nụrụ ihe Mmụọ Nsọ na-agwa nzukọ niile. Ọ bụ naanị
onye na-emeri emeri ka m ga-enye ụfọdụ n’ime achịcha mánà ahụ e zoro ezo. Aga
m enyekwa onye ahụ ezi nkume ọcha ahụ, nke edekwasịrị aha ọhụrụ n’elu ya, nke
onye ọbụla ọzọ na-agaghị amata, karịa onye ahụ natara ya.

### *Nzukọ dị n’obodo Tiatira*

18 “Dee akwụkwọ nye mmụọ ozi ụlọ nzukọ dị na Tiatira, sị ya:

Ndị a bụ okwu sitere n’aka Ọkpara Chineke, onye anya ya na-enwuba n’ebe niile
dị ka ire ọkụ. Ụkwụ ya kwa na-egbu maramara dị ka bronz a nụchara nke ọma.

19 Amaara m ọrụ gị niile, na ịhụnanya gị, na okwukwe gị. Amakwaara m ije ozi
gị na ntachiobi gị, na-ahụkwa na ị na-arụ ọrụ ugbu a karịa ka i mere na mbụ.
20 Ma enwere m ihe ndị a megide gị. Ị na-anabata nwanyị ahụ a na-akpọ Jezebel,
onye na-ekwupụta na ya bụ onye amụma nwanyị†nye ya ohere ka o were nkuzi asị
na-eduhie ndị ohu m ụzọ, ka ha kwaa iko, riekwa ihe e ji chụọrọ arụsị aja. 21 Enyela
m ya ohere ka o si na mmehie ya chegharịa, ma ọ jụrụ ichegharị site na ndụ ịkwa
iko. 22 Lee, aga m etinye ya n’ute ahụhụ, meekwa ka ndị ya na ha na-akwa iko taa
ahụhụ dị ukwuu. Ọ bụ naanị ma ha chegharịrị ka ihe ndị a na-agaghị abịakwasị
ha. 23 Ma n’ebe ụmụ ya nọ, aga m etigbu ha ka ha nwụọ. Nzukọ niile ga-amata na
abụ m onye na-enyocha mmụọ na mkpụrụobi niile. Aga m akwụghachikwa onye
ọbụla n’ime unu ụgwọ ọrụ kwesiri ọrụ ya.
24 Ugbu a, ana m agwa unu ndị fọdụrụ na Tiatira, unu ndị na-agbasoghị ozizi ya,
ndị na-amụtabekwaghị ihe ndị ahụ ekwensu kpọrọ ihe nzuzo dị omimi,‡‘O nweghị
ibu arọ ọzọ m ga-ebokwasị unu, 25 ma ọ bụghị, unu jidesienụ ihe unu nwere aka
ike tutu ruo mgbe m ga-abịa.’
26 Ma onye ọbụla na-emeri emeri, na-anọgidekwa na-eme uche m ruo ọgwụgwụ
ihe niile, ka m ga-enye ikike n’ebe mba niile nọ. 27 Onye ahụ, ‘ga-eji mkpara igwe
chịa ha, dịka mgbe a kụwachara ite aja na mpekele na mpekele.’§Ọ bụladị ka Nna
m si nye m ike, 28 a ga-enye onye nke meririnụ kpakpando ụtụtụ. 29 Onye ọbụla
nwere ntị, ya nụrụ ihe Mmụọ Nsọ na-agwa nzukọ niile.

* **2:14** 2:14 Ọ bụ Belam kuziri Balak ụzọ ọ ga-esi rara ndị Izrel nye na nnupu isi megide iwu Chineke nyere ha banyere ife arụsị, n’akwụkwọ Ọnụ 31:15-16, ịkwa iko na ịlụ di maọbụ nwunye site na mba ọzọ. Iwu ndị a dị n’akwụkwọ Dit 7:3-11. † **2:20** 2:20 Onye amụma nwanyị Ọ bụ onye amụma ụgha n’ihi na ihe ọ na-akụzi megidere iwu Chineke. ‡ **2:24** 2:24 Ihe nzuzo dị omimi E nwere ọdị iche n’etiti ihe omimi Mmụọ Nsọ na-ekpughe dị ka e dere n’akwụkwọ 1Kọ 2:10, site n’ihe omimi ndị ọzọ. Ya mere, o ji dị mkpa na mmadụ ga-akpachapụ anya mgbe ọbụla onye dị otu na-achọ ịmata ụfọdụ ihe omimi, ka ọ rịọ inyeaka mmụọ nsọ. § **2:27** 2:27 Abụ 2:9

# 3

*Nzukọ dị n'obodo Sardis*

1 "Dee akwụkwọ nye mmụọ ozi ụlọ nzukọ dị na Sardis, sị ya:

Ndị a bụ okwu onye ahụ nwere mmụọ asaa nke Chineke na kpakpando asaa.

Amaara m ọrụ gị niile, ị nwere aha dịka onye dị ndụ ma ị bụ onye nwụrụ anwụ.
2 Ugbu a, sị n'ụra bilite. Mee ka ihe ntakịrị ahụ fọdụrụ na-achọ ịnwụ anwụ dịrị
ike. N'ihi na ọ dịghị ọrụ gị m hụrụ dị ka ihe zuruoke n'anya Chineke m. 3 Ya mere,
cheta ihe ndị ahụ ị natara na nke ị nụrụ; rube isi nye ya, chegharịakwa. Ma ọ
bụrụ na i tetaghị, aga m abịakwute gị dị ka onye ohi, ị gaghị amatakwa oge m ji
bịakwute gị.
4 Otu ọ dị, i nwere ụfọdụ mmadụ na Sardis ndị na-emerụbeghị uwe ha. Ha ga-
eyiri uwe ọcha ma soro m jee ije n'ihi na ha bụ ndị kwesiri ekwesi. 5 Onye ọbụla
na-emeri emeri, ka a ga-eyikwasị uwe mwụda ọcha dịka ha. Agaghị m ehichapụ
aha ya site n'akwụkwọ nke ndụ ahụ, kama aga m ekwupụtakwa aha ahụ n'ihu
Nna m na n'ihu ndị mmụọ ozi niile. 6 Onye ọbụla nwere ntị, ya nụrụ ihe Mmụọ
nsọ na-agwa nzukọ niile.

*Nzukọ dị n'obodo Filadelfia*

7 "Dee akwụkwọ nye mmụọ ozi ụlọ nzukọ dị na Filadelfia, sị ya:

Ndị a bụ okwu onye dị nsọ na onye eziokwu, onye ahụ ji ọtụghe igodo Devid, nke o ji emeghepụ ihe onye ọbụla na-apụghị imechi, na nke o ji emechi ihe onye ọbụla na-apụghị imeghe.

8 Amaara m ọrụ gị niile. Lee, edebela m n'ihu gị ọnụ ụzọ nke e meghere emeghe,
nke onye ọbụla na-apụghị imechi. Amaara m na i nwere ike dị ntakịrị, ma i debere
okwu m, ị gọnarịkwaghị aha m. 9 Aga m eme ka ndị ahụ so na nzukọ ekwensu,
bụ ndị na-asị na ha bụ ndị Juu ma ha abụghị, kama ha bụ ndị ụgha, aga m eme
ka ha bịa kpọọ isiala nye gị, si otu a ghọta na ahụrụ m gị n'anya. 10 Ebe i sitere
na ntachiobi sọpụrụ okwu m niile, aga m ekpuchi gị site n'oke mkpagbu ahụ, nke
ga-abịakwasị ụwa mgbe a ga-anwale ndị niile bi n'ime ya.
11 Ana m abịa ọsịịsọ. Jidesienụ ihe unu nwere aka ike, ka onye ọbụla ghara
ịnapụ gị okpueze gị. 12 Ma onye ọbụla na-emeri emeri, ka m ga-eme ka ọ bụrụ ogidi
n'ime ụlọnsọ Chineke m. Ọ gaghị esikwa n'ebe ahụ pụọ apụọ. Aga m edekwasịkwa
aha Chineke m n'ahụ, na aha obodo nsọ Chineke, nke bụ Jerusalem ọhụrụ ahụ si
n'eluigwe, ebe Chineke nọ na-arịdata. Aha ọhụrụ m ka a ga-edekwasịkwa n'ihu
ya. 13 Onye ọbụla nwere ntị, ya nụrụ ihe Mmụọ Nsọ na-agwa nzukọ niile.

*Nzukọ dị n'obodo Laodisia*

14 "Dee akwụkwọ nye mmụọ ozi ụlọ nzukọ dị na Laodisia, sị ya:

Ndị a bụ okwu Amen, onye kwesiri ntụkwasị obi, na onye bụ ezi onyeama, bụrụkwa isi mmalite ihe niile Chineke kere.

15 Amaara m ọrụ gị niile, na ị jụghị oyi, i kpoghịkwa ọkụ. Ọ gaara adị nnọọ
mma ma asị na ị na-ajụ oyi ma ọ bụkwanụ na-ekpo ọkụ. 16 N'ihi nke a, ebe ị na-
ajụghị oyi, i kpoghịkwa ọkụ, ihe ị dị bụ ṅaraṅara. N'ihi ya, aga m esi n'ọnụ m
gbụpụ gị. 17 N'ihi na ị na-asị, 'abụ m ọgaranya, nwezuo ihe niile. Mkpa ihe ọbụla
akpakwaghị m.' Ma ị ghọtaghị na onye gba aka ka ị bụ. Ị bụ onye e kwesiri imere

ebere. Ị bụkwa ogbenye na onye kpuru ìsì na onye gba ọtọ. 18 Ana m adụ gị ọdụ ka
ịzụta ezigbo ọlaedo n’aka m, bụ ọlaedo a nụchara anụcha n’ime ọkụ. Mgbe ahụ, ị
ga-abụkwa ọgaranya n’ezie. Ị gaara esitekwa n’aka m zụta akwa ọcha na-enweghị
ntụpọ ka ị ghara ịgba ọtọ, ka ihere gharakwa ime gị. Ka ị zụrụkwa ezigbo ọgwụ
ọrịa anya tee, ka ibido ịhụ ụzọ nke ọma.
19 Ndị m hụrụ n’anya ka m na-abara mba na-enyekwa ha ahụhụ. Ya mere, nwee
ịnụ ọkụ n’obi, chegharịakwa. 20 Lee, ana m eguzo n’ọnụ ụzọ na-akụ aka. Ọ bụrụ
na onye ọbụla anụ olu m ma meghee ụzọ, aga m abata soro ya rikọọ ihe, ya onwe
ya ga-esokwa m rie ihe.
21 Onye ọbụla na-emeri emeri, ka mụ ga-enye ikike ka o soro m nọdụ n’ocheeze
m. Ọ bụladị dịka m meriri sorokwa Nna m nọdụ n’ocheeze ya. 22 Onye nwere ntị,
ya nụrụ ihe Mmụọ Nsọ na-agwa nzukọ niile.”

# 4

*Ocheeze dị n’eluigwe*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, eleliri m anya m hụ ọnụ ụzọ dị n’eluigwe ka e meghere
ya. Ụda olu ahụ m nụrụ na mmalite dara ọzọ, dị ka ụda opi ike sị m, “Bịa, gbagota
n’ebe a, ka m gosi gị ihe ga-emezuriri mgbe ihe ndị a gasịrị.” 2 N’otu oge ahụ, e mere
ka m nọọ n’ime mmụọ, ma lee, ahụrụ m onwe m n’eluigwe, hụkwa ka e debere otu
ocheeze nke otu onye na-anọkwasị n’elu ya. 3 Ụdịdị onye nọkwasịrị n’ocheeze ahụ
na-egbu nweghenweghe dịka nkume dị oke ọnụahịa a na-akpọ jaspa na kanelian. Eke
na egwurugwu dịka nkume oke ọnụahịa. Emeralụdụ gbara ocheeze ahụ gburugburu.
4 Iri ocheeze abụọ na anọ ọzọ, gbara ocheeze ukwu ahụ gburugburu. Ndị nọkwasịrị
n’ocheeze ndị a bụ iri ndị okenye abụọ na anọ, ndị yi uwe ọcha. Ha kpukwa okpueze
e ji ọlaedo kpụọ n’isi ha. 5 Mgbe ahụ, ụda dịka ụda egbe eluigwe, ya na amụma na-
egbuke sitere n’ocheeze ukwu ahụ na-ada na-achapụtakwa. N’ihu ocheeze ukwu
ahụ, e nwere oriọna asaa na-enwu ọkụ. Oriọna ndị a bụ mmụọ asaa nke Chineke.
6 N’ihu ocheeze ahụ e nwere ihe dịka oke osimiri e ji enyo mee, nke na-enwu dịka
kristal.
N’etiti ihu ocheeze ahụ na gburugburu ya, e nwere anụ anọ dị ndụ nwere anya
n’akụkụ ahụ ha niile, ihu na azụ. 7 Nke mbụ n’ime anụ ndị ahụ dị ndụ nwere oyiyi
dịka ọdụm. Nke abụọ dịka ehi. Nke atọ nwere ihu yiri nke mmadụ. Nke anọ dịka
ugo gbasapụrụ nku ya na-efe efe. 8 Nke ọbụla n’ime ihe anọ ndị a dị ndụ nwere nku
isii. Anya jupụtara n’ahụ ha niile na n’ime ha, ọ bụladị n’okpuru nku ha. Ehihie na
abalị niile, ọrụ ha bụ iti mkpu na-asị,

“ ‘Nsọ, Nsọ, Nsọ
ka Onyenwe anyị Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile dị,’*
bụ onye ahụ dịkwaarị, onye ahụ na-adị, na onye ahụ na-aga ịbịa.”

9 Mgbe ọbụla anụ ndị ahụ dị ndụ na-enye onye ahụ na-anọkwasị n’elu ocheeze ahụ
na-adị ndụ ruo mgbe niile ebighị ebi otuto na nsọpụrụ na ekele, 10 iri ndị okenye abụọ
na anọ ahụ na-adakwa n’ala n’ihu onye ahụ nọ n’ocheeze na-efe ya ofufe, bụ onye
ahụ na-adị ndụ ruo mgbe niile ebighị ebi. Ha niile n’otu n’otu na-atụda okpueze ha
n’ihu ya na-abụ abụ na-asị,

11 “Gị, Onyenwe anyị na Chineke anyị,
kwesiri ịnara otuto, na nsọpụrụ, na ike.
N’ihi na gị onwe gị kere ihe niile,
ọ bụkwa site n’ọchịchọ gị ka e ji kee ha,
ma meekwa ka ha dịrị ndụ.”

---

* **4:8** 4:8 Aịz 6:3

# 5

*Akwụkwọ kọwara ihe na-aga ime*

1 Mgbe ahụ, ahụrụ m akwụkwọ e dere ihe ihu na azụ, nke a fụkọrọ afụkọ,
kakwasịkwa ya akara asaa, ka ọ dị n'aka nri onye ahụ nọkwasịrị n'elu ocheeze ahụ.
2 Ahụkwara m otu mmụọ ozi dị ukwuu, ka ọ na-ekwusa okwu n'oke olu na-asị, "Ọ
bụ onye kwesiri ịnyakapụ akara ndị a ma saghee akwụkwọ ahụ a fụkọrọ afụkọ?"
3 Ma ọ dịghị onye ọbụla pụrụ ịsaghe akwụkwọ ahụ maọbụ ilenye ya anya a hụrụ
n'eluigwe, maọbụ n'ụwa, maọbụ n'okpuru ụwa. 4 Akwara m akwa n'obi ilu n'ihi na
ọ dịghị onye ọbụla a hụrụ tozuru oke ịsaghe akwụkwọ ahụ maọbụ ileba anya n'ime
ya. 5 Mgbe ahụ, otu onye n'ime ndị okenye ahụ gwara m sị, "Akwala akwa. Lee,
Ọdụm ebo Juda, bụ mgbọrọgwụ Devid, emeriela. Ọ pụrụ ịnyakapụ akara asaa ahụ
ma saghekwaa akwụkwọ ahụ."

6 Mgbe ahụ, ahụrụ m Nwa Atụrụ na-eguzo n'etiti ocheeze ahụ dịka e gburu ya egbu.
Anụ anọ ahụ dị ndụ na ndị okenye ahụ gbara ya gburugburu. O nwekwara mpi asaa
na anya asaa, nke bụ mmụọ asaa nke Chineke, ndị e zipụrụ n'ime ụwa niile. 7 Ọ
gara n'ihu were akwụkwọ ahụ site n'aka nri onye ahụ na-anọkwasị n'elu ocheeze
ahụ. 8 Mgbe ọ weere ya, anụ anọ ahụ dị ndụ na iri ndị okenye abụọ na anọ ndị ahụ
dara n'ala n'ihu Nwa Atụrụ ahụ. Ha niile n'otu n'otu jikwa ụbọ akwara na efere e
ji ọlaedo mee, nke ihe jupụtara n'ime ha bụ ụda na-esi isi ụtọ, bụ ekpere ndị nsọ.
9 Ha na-abụ abụ ọhụrụ na-asị,

"I kwesiri ịnara akwụkwọ ahụ
 na ịnyakapụ akara ya,
n'ihi na e gburu gị,
 ma site n'ọbara gị, ị gbataara Chineke ndị mmadụ,
 ndị si n'ebo niile, na asụsụ niile, na ndị niile, na mba niile.
10 Ị chịkọtaala ha, mee ha otu alaeze na ndị nchụaja na-ejere Chineke anyị ozi.
 Ha ga-achịkwa achị n'ụwa."

11 Mgbe ahụ, elere m anya, hụ ma nụkwa olu nke ọtụtụ ndị mmụọ ozi, nke
ọnụọgụgụ ha ruru puku kwụrụ puku, na nde kwụrụ nde. Ha gbara ocheeze ahụ
gburugburu, na anụ anọ ahụ dị ndụ na ndị okenye ahụ. 12 Ha na-abụ abụ n'oke olu
na-asị,

"O kwesiri bụ Nwa Atụrụ ahụ e gburu egbu
 ịnara ike na akụnụba na amamihe na ike
 na nsọpụrụ na otuto na ngọzị."

13 Mgbe ahụ, anụrụ m ka ihe niile nọ n'eluigwe na ndị nọ n'ụwa na ndị nọ n'okpuru
ụwa, na ndị nọ n'okpuru oke osimiri na-eti mkpu abụ na-asị,

"Ka ngọzị, na nsọpụrụ niile, na otuto niile, na ike niile
 dịrị onye ahụ na-anọkwasị n'ocheeze ahụ, na Nwa Atụrụ ahụ
 ruo mgbe niile ebighị ebi!"

14 Anụ anọ ahụ dị ndụ zakwara sị, "Amen!" Ndị okenye ahụ dakwara n'ala n'ihu ya
kpọọ isiala nye ya.

# 6

*Akara mechiri akwụkwọ ahụ*

1 Ahụrụ m mgbe Nwa atụrụ ahụ meghere otu n'ime akara asaa ahụ. Otu n'ime
anụ anọ ahụ dị ndụ tiri mkpu dịka a ga-asị na ọ bụ egbe eluigwe sị, "Bịa!" 2 Mgbe m
lere anya, ahụrụ m ịnyịnya dị ọcha. Onye na-anọkwasị n'elu ya ji ụta n'aka ya. A
tụkwasịkwara okpueze n'isi ya dịka onye agha na-emeri emeri mgbe niile.

3 Mgbe o meghere akara nke abụọ, ngwangwa, anụrụ m ka anụ nke abụọ ahụ n'ime
anụ anọ ndị ahụ dị ndụ tiri mkpu sị, "Bịa!" 4 Mgbe ahụ, ịnyịnya ọzọ na-acha ọbara

ọbara pụtara. E nyere onye nọkwasịrị n'elu ya ike iwepụ udo n'ụwa nakwa ime ka
ụmụ mmadụ na-egburita ibe ha. E nyekwara ya mma agha dị ukwuu.
5 Ma mgbe o meghere akara nke atọ, anụrụ m ka anụ nke atọ ahụ dị ndụ kwuru,
"Bịa!" Ahụrụ m ịnyịnya dị ojii. Onye na-anọkwasị n'elu ya ji ihe ọtụtụ abụọ n'aka
ya. 6 Anụkwara m ihe dị ka olu nke sitere n'etiti anụ anọ ahụ dị ndụ na-adapụta
sị, "Otu ihe ọtụtụ kilo* nke ọka wiiti bụ ụgwọ ọrụ otu ụbọchị,† ihe ọtụtụ kilo atọ‡
nke ọka balị bụkwa ụgwọ ọrụ otu ụbọchị. Ya mere, unu emebikwala mmanụ oliv na
mmanya."
7 Mgbe o meghere akara nke anọ, anụrụ m ka anụ nke anọ dị ndụ sịrị, "Bịa!"
8 Elere m anya ma hụ ịnyịnya na-acha ntụntụ n'ihu m. Aha onye nọkwasịrị n'elu ya
bụ Ọnwụ na Ọkụ ala mmụọ na-esokwa ya n'azụ. E nyere ha ike n'ebe otu ụzọ n'ụzọ
anọ nke ụwa dị ka ha jiri mma agha na ụnwụ, na ọrịa ọjọọ na anụ ọhịa gbuchapụ
ndị bi n'ime ha.
9 Ma mgbe ọ meghere akara nke ise, ahụrụ m n'okpuru ebe ịchụ aja mkpụrụobi
ndị niile e gburu egbu n'ihi okwu Chineke na n'ihi ịgba ama nke ha jidesiri ike. 10 Ha
ji oke olu tie mkpu na-asị, "Gị, Onye kachasị ihe niile elu, bụ Onyenwe anyị, onye dị
nsọ na onye eziokwu, ruo olee mgbe ka ị na-eche ikpe ụwa na ndị bi n'ime ya ikpe
ma bọọkwa ọbọ n'isi ha maka ọbara anyị ha wufuru?" 11 E nyere ha n'otu n'otu uwe
ọcha, a gwakwara ha ka ha zuru ike nwa oge nta, tutu ruo mgbe ọnụọgụgụ ndị ozi
ibe ha na ụmụnna ha a ga-egbu dịka e gburu ha ga-ezu.
12 Anọkwa m na-ele anya mgbe o meghere akara nke isii ahụ. Nke a mere ka oke ala
ọma jijiji dịrị. Anyanwụ gbara ọchịchịrị dị ka akwa mkpe e jiri ajị mee. E mekwara
ka ọnwa chaa uhie uhie dịka ọbara. 13 Mgbe ahụ, kpakpando dị na mbara eluigwe
malitere ịdapụ n'ala dịka mkpụrụ osisi fiig na-achaghị acha si adapụ mgbe oke ifufe
na-efegharị ya. 14 Mbara eluigwe gabigara, dịka akwụkwọ mgbe a na-apịakọta ya.
Ugwu niile na agwa etiti niile ka e wepụkwara site n'ọnọdụ ha.
15 Ndị eze niile nke ụwa na ndị nọ n'ọchịchị dị iche iche, na ndị ọgaranya, na ndị
nọ n'ọnọdụ dị elu, na ndị ọchịagha, na ndị mmadụ niile dị iche iche, ndị ukwu ma
ndị nta, ndị ohu na ndị nwe onwe ha, ha niile gara zoo onwe ha n'ime ọgba nkume
na n'okpuru ugwu, 16 ha na-eti mkpu na-arịọ ugwu ndị ahụ na-asị, "Dakwasịnụ anyị
zoo anyị ka onye ahụ nọkwasịrị n'elu ocheeze ahụ hapụ ịhụ anyị, ka oke iwe nke
Nwa Atụrụ ahụ hapụ ịbịakwasị anyị. 17 N'ihi na, lee oke ụbọchị iwe ha abịala, onye
pụrụ ịgbanarị ya?"

# 7

### *Ndị ozi Chineke a kara akara*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, ahụrụ m ndị mmụọ ozi anọ ka ha guzo n'akụkụ anọ nke
ụwa. Ha na-egbochikwa ka ifufe ọbụla ghara ife n'elu ala, na n'elu osimiri, na n'elu
osisi. 2 Mgbe ahụ, ahụkwara m mmụọ ozi ọzọ ka o si n'ọwụwa anyanwụ na-apụta,
akara Chineke dị ndụ dịkwa n'aka ya. O tikuru ndị mmụọ ozi anọ ahụ mkpu, bụ
ndị ahụ e nyere ike imekpa ụwa ahụ, ya na oke osimiri, 3 na-asị, "Unu emebila ụwa
maọbụ oke osimiri maọbụ osisi ọbụla tutu ruo mgbe anyị kachara ndị ohu niile nke
Chineke anyị akara n'egedege ihu ha." 4 Mgbe ahụ anụrụ m ọnụọgụgụ ndị a kara
akara ahụ, ha dị narị puku mmadụ, na iri puku mmadụ anọ na anọ, bụ ndị sitere
n'ebo niile nke Izrel.

5 Ndị a kara akara site n'ebo Juda dị puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
Ndị si n'ebo Ruben dịkwa puku mmadụ iri na abụọ (12,000).

---
* **6:6** 6:6 Ihe ọtụtụ nta dị otu kilo † **6:6** 6:6 Ya bụ, otu denarị ‡ **6:6** 6:6 Ihe ọtụtụ dị kilo atọ

Ndị si n’ebo Gad dị puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
6 E sitere n’ebo Asha họpụta puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
Ndị sitekwara n’ebo Naftalị dị puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
E sitere n’ebo Manase* họpụta puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
7 Ndị si n’ebo Simiọn dị puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
Ndị sitere n’ebo Livayị dị puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
Ndị si n’ebo Isaka dị puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
8 E sitere n’ebo Zebụlọn họpụta puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
Ndị si n’ebo Josef dị puku mmadụ iri na abụọ (12,000).
Ndị sikwa n’ebo Benjamin dị puku mmadụ iri na abụọ (12,000).

### *Oke igwe ndị yi uwe ọcha*

9 Mgbe ihe ndị a gasịrị, ahụrụ m oke igwe mmadụ, ndị dị ọtụtụ n’ọnụọgụgụ nke
onye ọbụla na-apụghị ịgụta ọnụ. Ha sitere na mba dị iche iche na ebo dị iche iche
na ndị niile na asụsụ dị iche iche, na-eguzo n’ihu ocheeze ahụ na n’ihu Nwa Atụrụ
ahụ. Ha yikwasịrị onwe ha uwe ọcha, jirikwa igu nkwụ n’aka ha. 10 Ma ha ji oke olu
na-eti mkpu na-asị,
“Nzọpụta dịrị Chineke anyị,
onye na-anọkwasị n’ocheeze ahụ,
dịkwara Nwa atụrụ ahụ.”
11 Ndị mmụọ ozi niile ahụ guzoro ocheeze ahụ gburugburu, ha na ndị okenye ahụ na
anụ anọ ahụ dị ndụ. Ha dara, kpuo ihu ha n’ala n’ihu ocheeze ahụ feekwa Chineke
ofufe, 12 na-asị,
“Amen!
Ngọzị niile na otuto niile,
na amamihe niile na ekele niile na nsọpụrụ niile
na ike niile na ume niile,
dịrị Chineke anyị ruo mgbe niile ebighị ebi.
Amen.”
13 Mgbe ahụ, otu n’ime ndị okenye ahụ zara m sị, “Ị maara ndị ahụ, ndị a e
gbokwasịrị uwe ọcha ahụ, ebee ka ha siri pụta?”
14 Asịrị m, “Onyenwe m, ọ bụ gị maara.”
Ọ sịrị m, “Ndị a bụ ndị sitere n’ime oke mkpagbu ahụ pụta. Ha bụ ndị sachara
uwe ha, mee ha ka ha dịrị ọcha site n’ọbara Nwa Atụrụ ahụ. 15 Ọ bụ nke a mere,
“ha ji guzoro n’ihu ocheeze Chineke
na-efe ya ofufe ehihie na abalị n’ime ụlọnsọ ya.
Onye ahụ na-anọkwasị n’elu ocheeze ahụ
ga-ekpuchikwa ha.
16 ‘Agụụ agaghị agụkwa ha ọzọ.
Akpịrị agaghị akpọkwa ha nkụ mgbe ọbụla.
Anyanwụ agaghị achakwa ha ọzọ,’†
okpomọkụ ọbụla agaghị erute ebe ha nọ.
17 N’ihi na Nwa Atụrụ ahụ nke nọ n’etiti ocheeze ahụ
ga-abụ onye ọzụzụ atụrụ ha;
‘ọ ga-edurukwa ha jee n’isi mmiri nke ndụ ahụ.’‡
‘Chineke ga-ehichapụkwa anya mmiri ọbụla site n’anya ha.’§”

## 8

### *Nyakapụ akara nke asaa*

* **7:6** 7:6 N’ebe a Manase nwa Josef, weere ọnọdụ Dan. † **7:16** 7:16 Aịz 49:10 ‡ **7:17** 7:17 Aịz 49:10 § **7:17** 7:17 Aịz 25:8

1 Mgbe o meghere akara nke asaa, akụkụ niile nke eluigwe dara jụụ ruo ihe dị ka
iri nkeji atọ.
2 Ahụrụ m ndị mmụọ ozi asaa, ndị na-eguzo n’ihu Chineke. E nyere ha opi ike n’otu
n’otu.
3 Mmụọ ozi ọzọ nke ji ite igwe ntakịrị e ji ọlaedo kpụọ bịara guzo n’ihu ebe ịchụ
aja. E nyere ya ọtụtụ ụda na-esi isi ụtọ ka o jiri chụọ aja, ya na ekpere ndị nsọ niile,
n’ebe ịchụ aja e jiri ọlaedo wuo, n’ihu ocheeze ahụ. 4 Anwụrụ ọkụ nke ihe ahụ na-
esi isi ụtọ, ya na ekpere ndị nsọ sitere n’aka mmụọ ozi ahụ rigoo elu n’ihu Chineke.
5 Mgbe ahụ kwa, mmụọ ozi ahụ weere ọkụ sitere n’ebe ịchụ aja ahụ tinye ya n’ime
ite igwe ntakịrị ahụ, tụda ya, ka ọ danye n’ime ụwa. Mgbe o mere nke a, ụzụ egbe
eluigwe dara, amụma gbukwara n’ụzọ dị oke egwu. Ala ọma jijiji dakwasịkwara ebe
niile n’ụwa.

### *Ndị mmụọ ozi afụọ opi ike*

6 Mgbe ahụ, ndị mmụọ ozi asaa ahụ ndị ji opi asaa ahụ jikeere onwe ha ịfụ opi ike
ahụ.
7 Mgbe mmụọ ozi nke mbụ fụrụ opi ike ya, a tụdara mkpụrụ mmiri na ọkụ a
gwakọtara ya na ọbara n’ime ụwa. Nke a mere ka otu ụzọ n’ime ụzọ atọ nke osisi
rechapụrụ ọkụ, e rechapụkwara ahịhịa ndụ niile ọkụ.
8 Mgbe mmụọ ozi nke abụọ fụkwara opi ike ya, a tụdara ihe yiri ugwu dị ukwuu
na-enwu ọkụ n’ime osimiri. Nke a mere ka otu ụzọ n’ime ụzọ atọ e kere osimiri niile
chaghariạ ghọọ ọbara. 9 Otu ụzọ n’ime ụzọ atọ nke ihe niile dị ndụ dị n’ime osimiri
nwụrụ. Otu ụzọ n’ime ụzọ atọ e kere ụgbọ mmiri niile dị n’elu osimiri lara n’iyi.
10 Mgbe mmụọ ozi nke atọ fụrụ opi ike ya, otu kpakpando dịkarịsịrị ukwuu nke
na-enwu dị ka ọwaọkụ sitere na mbara eluigwe danye n’ime otu ụzọ n’ime ụzọ atọ
e kere iyi niile na isi iyi niile. 11 Aha kpakpando ahụ bụ Ilu ilu. Otu ụzọ n’ime ụzọ
atọ nke mmiri malitere ilu ilu, ọtụtụ mmadụ nwụrụ n’ihi mmiri a na-elu ilu.
12 Mgbe mmụọ ozi nke anọ fụrụ opi ike ya, e mere ka otu akụkụ n’ime akụkụ atọ
e kere anyanwụ gbaa ọchịchịrị. Otu a kwa, otu akụkụ n’ime akụkụ atọ e kere ọnwa
gbara ọchịchịrị. Ya na otu akụkụ n’ime atọ e kere kpakpando niile. Nke a mere ka
anyanwụ hapụ inyekwa ìhè ya n’uju dịka o si eme na mbụ. Otu ụzọ n’ime ụzọ atọ e
kere ehihie ghọkwara oke ọchịchịrị, ọ dịkwa otu a n’oge anyasị.[*]
13 Elere m anya, hụ ma nụkwa otu ugo ka ọ na-efegharị n’etiti mbara eluigwe na-eti
mkpu n’olu ike na-asị, “Ahụhụ! Ahụhụ! Ahụhụ dịrị mmadụ niile bi n’ụwa n’ihi ụda
opi ike nke ndị mmụọ ozi atọ ndị a ga-afụ.”

# 9

### *Opi ike nke ise*

1 Mgbe mmụọ ozi nke ise ahụ fụrụ opi ike ya, ahụrụ m otu kpakpando si n’eluigwe
daa n’ala. E nyere ya ihe ọtụghe igodo nke e ji atụghe olulu nke Abis[*] ahụ. 2 Mgbe
o meghere olulu Abis ahụ, anwụrụ ọkụ dị ukwu sitere n’ime ya pụta dịka anwụrụ
ọkụ si n’ọkụ icheku ọkụ ya dị ukwuu, mee ka oke ọchịchịrị kpuchie ihu anyanwụ na
mbara eluigwe. 3 Igurube sitere n’anwụrụ ọkụ ahụ pụta fedakwasa ụwa. E nyekwara
ha ike ịta mmadụ ọbụla dịka akpị si agba mmadụ. 4 E nyere ha iwu si ha emebila
ahịhịa ndụ ọbụla, maọbụ osisi na ihe ọbụla a kụrụ n’ala. Kama ọrụ ha bụ ịbịakwasị
mmadụ ọbụla na-enweghị akara Chineke n’egedege ihu ya. 5 Iwu e nyere ha abụghị
ka ha gbuo ndị a, kama ọ bụ ka ha mekpaa ha ahụ ọnwa ise. Mmekpa ahụ ha dịka

* **8:12** 8:12 Opi ike anọ mbụ dara metụtara ikpe Chineke n’ebe ihe e kere eke dị. Ihe a bụ ala, na osimiri, na iyi, na ihe ndị dị na mbara n’elu, dị ka kpakpando, na anyanwụ na ọnwa. * **9:1** 9:1 E mere ka anyị mata na ọ bụ olulu na-enweghị nsọtụ.

ahụ ụfụ na nhụju anya nke akpị mgbe ọ gbara mmadụ. 
6 N'ime ụbọchị ndị ahụ,
ọtụtụ mmadụ ga-achọ iji aka ha gbuo onwe ha ma ha agaghị enwe ike mee ya. Agụụ
ịnwụ ọnwụ ga-agụ ha, ma ọnwụ ga-esi n'ebe ha nọ wezuga onwe ya.
7 Igurube ndị a nwere oyiyi dị ka ịnyịnya a kwadebere maka ibu agha. Ha nwere
ihe yiri okpueze e ji ọlaedo kpụọ n'isi ha. Ihu ha dịkwa ka ihu mmadụ. 
8 Agịrị isi
ha dịka agịrị isi ụmụ nwanyị. Eze ha dịkwa ka eze ọdụm. 
9 Ha yikwasịrị onwe ha
ihe ikpuchi obi dịka nke e ji igwe kpụọ. Nku ha na-eme mkpọtụ dị ka ụda nzọ ụkwụ
ọtụtụ ịnyịnya nke ụgbọ agha na-esekpu na-abanye n'ọgbọ agha. 
10 Ha nwere ọdụdụ
dịka akpị. Ma ike niile e nyere ha bụ imerụ ndị mmadụ ahụ ọnwa ise site n'ike dị
n'ọdụdụ ha. 
11 Ha nwere mmụọ ozi nke Abis,† onye na-achịkọta ha dịka eze. Aha ya
n'asụsụ Hibru bụ Abadọn, ma n'asụsụ Griik ọ bụ Apolion.‡
12 Ahụhụ nke mbụ agafeela, ebe ahụhụ abụọ ọzọ na-abịa n'ihu.

### *Opi ike nke isii*

13 Mgbe mmụọ ozi nke isii fụrụ opi ike ya, anụrụ m olu sitere na mpi anọ ahụ dị
n'ebe ịchụ aja ahụ e jiri ọlaedo wuo, nke dị n'ihu ocheeze Chineke, 
14 na-agwa mmụọ
ozi nke isii ahụ, nke ji opi ike okwu, "Tọpụ mmụọ ozi anọ ndị ahụ e kere agbụ n'ebe
osimiri Yufretis dị." 
15 A tọhapụrụ ndị mmụọ ozi anọ ahụ, ndị e jibu eji na njikere
maka oge awa ahụ, na ụbọchị ahụ, na ọnwa ahụ, na afọ ahụ, iji gbuo otu ụzọ n'ime
ụzọ atọ nke mmadụ. 
16 Ndị agha ahụ, ọnụọgụgụ ha bụ narị nde abụọ. Anụrụ m
mgbe e kwuru ole ha dị.
17 N'ime ọhụ m, ahụrụ m ịnyịnya ha, hụkwa ndị nọkwasịrị ha n'elu. Ndị nọ n'elu
ịnyịnya ndị a yi ihe ikpuchi obi nke ụfọdụ n'ime ha na-acha ọbara ọbara. Ụfọdụ
na-acha dịka akpụkpọ eluigwe, ụfọdụ na-acha odo odo. Ụfọdụ na-acha dịka anwụrụ
ọkụ. Isi ịnyịnya ha dịka isi ọdụm, anwụrụ ọkụ na ọkụ na nkume ọkụ sị ha n'ọnụ
na-apụta. 
18 E sitere n'ihe mmekpa ahụ ndị a, ire ọkụ, anwụrụ ọkụ na nkume ọkụ
na-adịghị anyụ anyụ, ka ha ji gbuo otu ụzọ n'ime ụzọ atọ nke mmadụ niile bi n'ụwa.
19 Ike ịnyịnya ndị a dị n'ọnụ ha, na ọdụdụ ha. Ọdụdụ ha dị ka agwọ, nwee isi agwọ
nke ha ji emerụ mmadụ ahụ.
20 Ma ndị fọdụrụ n'etiti mmadụ, bụ ndị a na-egbughị site n'ihe ntaramahụhụ ọrịa
ndị a, echegharịghị site n'ọrụ aka ha maọbụ ịkwụsị ife mmụọ ọjọọ ofufe. Ha jụkwara
ịkwụsị ife arụsị ha niile nke ha ji ọlaedo na ọlaọcha na bronz na igwe na nkume
na osisi kpụọ. Chi ndị na-apụghị ịhụ ụzọ, maọbụ ịnụ ihe, maọbụ ije ije. 
21 Ha
echegharịghị site n'igbu mmadụ ha, maọbụ ụzọ mgbaasị ha, maọbụ ndụ ịkwa iko
ha, na izu ohi ha pụta.

## 10

### *Mmụọ ozi ji akwụkwọ ntakịrị*

1 Ahụrụ m mmụọ ozi ọzọ dị oke egwu ka o si n'eluigwe na-arịdata. Igwe ojii gbara
ya gburugburu. Eke na egwurugwu dịkwa ya n'isi. Ihu ya na-egbukwa maramara
dịka anyanwụ. Ụkwụ ya na-acha dịka ogidi na-enwu ọkụ. 
2 O ji akwụkwọ ntakịrị a
fụkọtara afụkọta n'aka ya. Otu ụkwụ ya, nke aka nri ya, ka ọ zọnyere n'ime osimiri,
ma ụkwụ nke aka ekpe ya ka ọ zọkwasịrị n'elu ala. 
3 O ji oke olu, nke dara ụda dịka
ịgbọ ụja ọdụm, tie mkpu, egbe eluigwe asaa gbara otu mgbe ahụ. 
4 Mgbe m chọrọ
idetu ihe egbe eluigwe ndị a kwuru, anụrụ m otu olu si n'eluigwe na-ekwu, "Edela
ihe ahụ n'akwụkwọ, n'ihi na-achọghị ka ndị ọzọ mata okwu ahụ egbe eluigwe ndị
ahụ kwuru."
5 Mgbe ahụ, mmụọ ozi ahụ nke m hụrụ zọkwasịrị ụkwụ ya n'elu osimiri, na n'ala
akọrọ ahụ, chịliri aka ya abụọ elu, 
6 were onye ahụ na-adị ndụ mgbe niile ebighị ebi

† **9:11** 9:11 Olulu nke omimi ya na-enweghị nsọtụ. ‡ **9:11** 9:11 Ya bụ Onye Mbibi

ṅụọ iyi. Ya bụ onye ahụ kere eluigwe na ụwa, na ihe niile dị n’ime ha, na oke osimiri, na ndị niile bi n’ime ha, sị na oge ezuola. Na o kwesikwaghị ka a tufuo oge ọbụla.
7 N’ụbọchị ahụ, mgbe ndị mmụọ ozi asaa ahụ ga-afụ opi ike ha, ihe omimi niile nke Chineke ga-emezu, dịka ọ gwara ndị ohu ya bụ ndị amụma.

8 Olu nke ahụ m nụrụ mbụ sitere n’eluigwe gwa m okwu ọzọ, na-asị, “Gaa nara mmụọ ozi ahụ guzo n’elu oke osimiri na ala akọrọ, akwụkwọ ahụ aseghere aseghe nke o ji n’aka ya.”

9 Ejekwuru m mmụọ ozi ahụ gwa ya ka o nye m akwụkwọ nta ahụ. Ọ sịrị m, “Nara ya, taa ya. Ọ ga-eme ka afọ gị luo ilu, ma ‘n’ọnụ gị, ọ ga-atọ gị ụtọ dịka mmanụ aṅụ.’*” 10 Ya mere, anaara m ya akwụkwọ nta ahụ site n’aka mmụọ ozi ahụ taa ya. Ọ tọrọ ụtọ dịka mmanụ aṅụ n’ọnụ m, ma mgbe m lodara ya, afọ m bidoro ilu ilu.
11 Mgbe ahụ ha sịrị m, “Ị ghaghị ibu amụma ọzọ banyere ọtụtụ mmadụ, na ọtụtụ mba, na ọtụtụ asụsụ na ọtụtụ ndị eze.”

# 11

*Ndị ama abụọ*

1 Enyere m ihe ọtụtụ osisi achara e ji atụ ihe. Agwara m sị m, “Gaa tụọ ụlọnsọ ukwu Chineke, ma tụọkwa ebe ịchụ aja dị n’ụlọnsọ ahụ, gụọ ọnụọgụgụ ndị niile na-akpọ isiala n’ebe ahụ. 2 Ma atụkwala ogige nke dị na mpụta ụlọnsọ ahụ, n’ihi na ewerela ya nye ndị mba ọzọ. Ha ga-azọtọkwa obodo nsọ ahụ ụkwụ iri ọnwa anọ na abụọ. 3 Aga m enye mmadụ abụọ ndị ga-agbara m ama ike ka ha buo amụma otu puku ụbọchị na narị ụbọchị abụọ na iri ụbọchị isii (1,260), ha ga-eyi akwa mkpe.”
4 Ndị a bụ osisi oliv abụọ ahụ na ihe ịdọba oriọna abụọ ahụ, ndị na-eguzo n’ihu Onye nwe ụwa.* 5 Ọ bụrụ na onye ọbụla achọọ imerụ ha ahụ, ọkụ ga-esi ha n’ọnụ pụta rechapụ ndị iro ha. Ọ bụrụ na onye ọbụla achọọ imerụ ha ahụ, a ga-egbu ya n’ụzọ dị otu a. 6 A ga-enyekwa ha ike imechi eluigwe ime ka mmiri ozuzo ọbụla ghara izo n’ụwa n’ime afọ atọ na ọkara ahụ ha ga-ebu amụma ha. A ga-enyekwa ha ike ime ka osimiri na mmiri nta niile ghọọ ọbara. Ha ga-enwekwa ike ime ka ụdị ọrịa dị iche iche bịakwasị ụwa niile n’oge ọbụla ha chepụtara n’obi ha.

7 Mgbe ha gbazuru ama ha, anụ ọhịa ahụ,† nke na-esite n’ime olulu Abis ahụ ga-ebuso ha agha merie ha, gbukwaa ha. 8 Mgbe ha nwụchara, ozu ha ga-atọgbọrọ n’okporoụzọ nke obodo ukwu ahụ nke a na-akpọ na mmụọ Sọdọm na Ijipt, ebe a kpọgburu Onyenwe ha n’obe. 9 A gaghị ekwenyekwa ka onye ọbụla lie ozu ha. Ma ndị niile dị iche iche n’ụwa, n’ebo niile, na asụsụ niile, na mba niile ga-agba ozu ha gburugburu ụbọchị atọ na ọkara n’ebe a tọgbọrọ ha na-ele ha anya. 10 Ndị niile bi n’ụwa ga-aṅụrị ọṅụ, nyerịta ibe ha onyinye dị iche iche, kpọọ oriri dị iche iche iji ṅụrịa ọṅụ n’ihi ogbugbu e gburu ndị amụma abụọ ahụ, ndị wetaara ha oke nhụju anya.

11 Ma mgbe ụbọchị atọ na ọkara gafesịrị, Chineke ga-eme ka Mmụọ ya na-enye ndụ banyekwa n’ime ha, ha bilitere ọtọ, oke egwu jidere ndị niile hụrụ ha. 12 Ha nụrụ oke olu si n’eluigwe daa na-asị, “rigotanụ n’elu.” Ha siri n’igwe ojii, rigoro n’eluigwe ebe ndị iro ha ga-anọ na-ele ha anya.

13 Ma n’otu oge ahụ, n’otu awa ahụ, ala ọma jijiji dịkarịsịrị oke egwu mara nke mere ka otu akụkụ n’ime akụkụ iri nke obodo ahụ niile daa. Ndị nwụrụ n’oge ala ọma jijiji a dịkwa puku mmadụ asaa. Ma ndị niile fọdụrụ sitere n’oke egwu nye Chineke nke eluigwe otuto.

14 Ugbu a ahụhụ nke abụọ ahụ agafeela. Ma mgbe na-adịghị anya, ahụhụ nke atọ na-abịa.

* **10:9** 10:9 Izk 3:3 * **11:4** 11:4 Abụ 52:8; Zek 4:3,11,14 † **11:7** 11:7 Anụ ọhịa a bụ onye na-emegide Kraịst.

*Opi nke asaa*

15 Ka mmụọ ozi nke asaa fụrụ opi ike ya, oke olu dị iche iche dara ike ike n’eluigwe,
na-asị,
“Alaeze niile nke ụwa
abụrụla alaeze Onyenwe anyị, na nke Kraịst ya.
Ya onwe ya ga-achịkwa ruo mgbe niile ebighị ebi.”
16 Mgbe ahụ, iri ndị okenye abụọ na anọ ahụ nọ n’ocheeze ndị ahụ dị n’ihu ocheeze
Chineke dara n’ala kpọọ isiala nye Chineke, 17 na-asị,
“Anyị na-enye gị otuto, gị Onyenwe anyị Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile.
Onye na-adị, na onye dịkwaarị,
n’ihi na i werela oke ike gị niile n’aka gị
malitekwa ịchị ọchịchị.
18 Mba niile were oke iwe megide gị,
ma ugbu a bụ oge gị iweso ha iwe dị ọkụ.
Ugbu a bụ oge ikpe ndị nwụrụ anwụ ikpe
na ịkwụghachi ndị ohu gị bụ ndị amụma ụgwọ ọrụ ha,
na ndị nsọ na ndị gị niile, bụ ndị na-atụ egwu aha gị,
bụ ndị dị nta na ndị dị ukwuu.
Oge eruokwala mgbe ịla n’iyi ndị na-emebi ụwa ga-adị.”
19 Mgbe ahụ kwa, e meghere ụlọnsọ Chineke nke dị n’eluigwe. A hụkwara igbe
ọgbụgba ndụ n’ime ya. N’otu oge ahụ kwa, egbe eluigwe malitere ịgba, amụma
gbukwara. Oke ifufe bidokwara ife. Oke ala ọma jijiji na akụmmiri igwe mere mkpọtụ
nke ukwuu.

# 12

*Nwanyị na agwọ ochie ahụ*

1 Oke ihe ịrịbama pụtara ihe n’eluigwe, otu nwanyị e yikwasịrị anyanwụ dịka
uwe. Ọnwa dịkwa n’okpuru ụkwụ ya abụọ. Okpueze nwee kpakpando iri na abụọ
dịkwa ya n’isi. 2 Ọ dị ime, na-etikwa mkpu n’ihi ahụhụ na ihe ụfụ nke ọmụmụ
nwa. 3 Mgbe ahụ, ihe ama ọzọ pụtara ihe n’eluigwe, agwọ ochie nke dị ukwuu na-
acha uhie uhie a na-akpọ dragọn, nke nwere isi asaa na mpi iri. O kpukwasịkwara
okpueze asaa n’isi ya. 4 O nwere ọdụdụ nke o ji dọkpụrụ otu ụzọ n’ime ụzọ atọ nke
kpakpando niile dị n’eluigwe, tụda ha n’ala. Ọ bịara guzo n’ihu nwanyị ahụ na-achọ
ịmụpụta nwa ahụ ọ dị ime ya, nọọ na njikere iri nwantakịrị ahụ ma a mụpụta ya.
5 Ọ mụpụtara nwantakịrị nwoke, “onye ga-ejikwa mkpara ọchịchị chịa mba niile
ọchịchị.”* N’otu oge ahụ kwa, e si n’ebe ahụ wepụ nwata ahụ were ya gaa n’ebe
Chineke nọ n’eluigwe n’ocheeze ya. 6 Ma nwanyị ahụ si n’ebe ahụ gbapụ gbalaa
n’ọzara ebe Chineke kwadebere na ọ ga-anọ. Ebe ahụ ka a ga-elekọta ya anya nke
ọma otu puku ụbọchị na narị ụbọchị abụọ na iri ụbọchị isii (1,260).

*Agha a lụrụ n’eluigwe*

7 Mgbe ahụ, agha dapụtara n’eluigwe. Maikel na ndị mmụọ ozi ya buru agha
megide agwọ ochie ahụ (a na-akpọ dragọn). Dragọn ahụ na ndị mmụọ ozi ya bukwara
agha nke ha, 8 ma e meriri ha, ha enwekwaghị ọnọdụ ọbụla n’eluigwe. 9 Dragọn ukwu
ahụ, bụ agwọ ochie ahụ a na-akpọ ekwensu maọbụ Setan, nke na-eduhie ndị niile bi
n’ụwa. A tụdara ya n’ụwa, ya na ndị mmụọ ozi ya niile.
10 Mgbe ahụ, anụrụ m oke olu si n’eluigwe na-ada sị,
“O mezuola n’ikpeazụ, bụ nzọpụta Chineke na ike
na alaeze Chineke anyị, na ikike ịchị isi Kraịst ya,
ha abụrụla ihe dị ire.

* **12:5** 12:5 Abụ 2:9

N'ihi na e sitela n'eluigwe chụtuo
onye ahụ na-ebo ụmụnna anyị ebubo.
Ọ na-ebo ha ebubo ehihie na abalị n'ihu Chineke.
11 Ha lụgburu ya n'agha
site n'ọbara Nwa atụrụ ahụ
na site n'ama nke okwu ọnụ ha,
n'ihi na ha ahụghị ndụ ha n'anya karịa,
kama ha jikere inye ndụ ha ọbụladị ruo n'ọnwụ.
12 Ya mere, ṅụrịanụ ọṅụ eluigwe
ma unu ndị niile bi n'ime ya.
Ma ahụhụ dịrị unu ndị bi n'ụwa na osimiri
n'ihi na ekwensu abịakwutela unu.
O jirila oke ọnụma bịakwute unu.
Ọ makwaara na oge a o nwere ehighị nne."
13 Mgbe agwọ ochie ahụ chọpụtara na a chụdala ya n'ụwa, ọ chụsoro nwanyị ahụ
mụrụ nwa nwoke ahụ ọsọ. 14 Ma e nyere nwanyị ahụ nku abụọ, nke dịka nku oke
ugo, ka o jiri gbanarị agwọ ochie ahụ feba n'ime ọzara, ebe a kwadooro ya, na ebe
a ga-anọ lezie ya anya afọ atọ na ọnwa isii. 15 Ma agwọ ahụ meghere ọnụ ya mee
ka mmiri si n'ọnụ ya sọpụta dịka iyi nke ga-ebufu nwanyị ahụ. 16 Ma ala nyeere
nwanyị ahụ aka. O meghere ọnụ ya loda idee mmiri a nke si n'ọnụ agwọ ahụ sọpụta.
17 Mgbe ahụ, agwọ ochie ahụ wesara nwanyị ahụ iwe, pụọ ịga buo agha megide ụmụ
ya bụ ndị niile fọdụrụ, bụ ndị niile na-edebe iwu Chineke na ndị na-ekwupụta na ha
bụ ndị ama nke Jisọs.

# 13

*Anụ si n'osimiri pụta*

1 Agwọ ochie ahụ guzoro n'akụkụ n'ọnụ oke osimiri ahụ. Ma ahụrụ m otu anụ ọhịa
ka o si n'ime oke osimiri na-arịpụta. Anụ ọhịa a nwere isi asaa na mpi iri. Okpueze
iri dịkwa n'elu mpi ndị a. Aha e dekwasịrị n'isi asaa ahụ n'otu n'otu bụ ikwutọ na
ikwuhie Chineke. 2 Anụ ọhịa a m hụrụ dị ka agụ, ma ụkwụ ya dịka ụkwụ anụ ọhịa
bịa. Ọnụ ya dịkwa ka nke ọdụm. Agwọ ochie ahụ nyere ya ike ya, na ocheeze ya na
ikike dị ukwuu. 3 Otu n'ime isi ya nwere ọnya buru ibu, nke pụrụ iwetara ya ọnwụ, e
mere ka ọnya ahụ laa. Ụwa niile sobere anụ ọhịa ahụ n'azụ n'ịtụnanya. 4 Ha kpọrọ
isiala nye agwọ ochie ahụ n'ihi na o nyere anụ ọhịa ahụ ikike dị otu a. Ha bidokwara
ịkpọ isiala nye anụ ọhịa ahụ, na-asị, "Ebee ka onye ahụ nọ, nke dị ukwuu karịa ya,
onye pụkwara ibu agha megide ya?"
5 E nyekwara anụ ọhịa ahụ ọnụ na ike ikwu okwu mpako na ikike ikwulu ekwulu
ọnwa iri anọ na abụọ. 6 O meghere ọnụ ya malite ikwulu Chineke, na aha ya na ebe
obibi ya, na ndụ ahụ bụ ndị bi n'eluigwe. 7 E nyere ya ike ibuso ndị nsọ agha na
imeri ha. E nyekwara ya ikike ịchị agbụrụ niile, na ebo niile, na ndị niile, na mba
niile na asụsụ niile. 8 Ndị niile bi n'elu ụwa ga-akpọkwa isiala nye ya, bụ onye ọbụla
a na-edeghị aha ya n'ime akwụkwọ nke ndụ nke Nwa atụrụ ahụ e gbururị, site n'oge
e kere ụwa.
9 Onye nwere ntị ya nụrụ.
10 "Ọ bụrụ na ọ dị onye ọbụla a ga-adọta n'agha,
ọ bụ ha ka a ga-adọtakwa n'agha.
Ọ bụrụ na ọ dị onye ọbụla ga-anwụ site na mma agha,
aghaghị iji mma agha gbuo ha."*
Ka nke a bụrụ ihe ịgbaume na iguzosikwa ike n'okwukwe nke ndị Chineke.

* **13:10** 13:10 Jer 15:2

*Anụ ọjọọ si n’ime ala pụta*

[11] Mgbe ahụ kwa, ahụrụ m anụ ọhịa ọzọ dị iche ka o si n’ala na-arịpụta. O nwere
mpi nta abụọ dịka mpi Nwa atụrụ, kama ọ na-ekwu okwu dịka agwọ ochie ahụ. [12] Ọ
na-achị isi n’ọnọdụ anụ ọhịa nke mbụ. Ọ bụkwa ike a ka o ji kwagide ụwa na ndị
niile bi n’ime ya ka ha kpọọ isiala nye anụ ọhịa mbụ ahụ nke a gwọrọ ọnya ya na-
eweta ọnwụ. [13] Ọ na-emekwa ọtụtụ oke ihe ịrịbama dị iche iche. O mere ọbụladị ka
ọkụ si na mbara eluigwe daa n’ụwa n’ihu mmadụ niile. [14] O duhiekwara ndị mmadụ
bi n’ụwa site n’ọrụ ịrịbama ya niile nke e nyere ya ike ịrụ n’ọnọdụ anụ ọhịa ahụ. Ọ
gwakwara ndị niile bi n’ụwa ka ha kpụọ ihe oyiyi nke anụ ọhịa ahụ nke e jiri mma
agha merụchaa ahụ, ma mechaa dị ndụ. [15] E nyere ya ike ikunye ume ndụ n’ime
oyiyi nke anụ ọhịa mbụ ahụ, ime ka ihe a kpụrụ akpụ kwuo okwu mekwa ka e gbuo
ndị niile na-akpọghị isiala nye ya. [16] O nyere iwu ka onye ọbụla, onye ukwu na onye
nta, ọgaranya na ogbenye, ohu na onye nwe onwe ya, nata akara n’aka nri maọbụ
n’egedege ihu ha. [17] Ya mere, ọ dịghị onye ọbụla nwere ike ịzụ ahịa maọbụ ree ahịa
ma ọ bụrụ na onye ahụ enweghị akara a, nke bụ aha anụ ọhịa ahụ, maọbụ ihe e ji
mara ya, maọbụ ọnụọgụgụ nọchiri aha ya.
[18] Nke a ka chọrọ amamihe maka ịghọta ya. Ka onye ọbụla nwere ọgụgụisi, gụọ
ọnụọgụgụ nke anụ ọhịa ahụ, n’ihi na ọ bụ ọnụọgụgụ mmadụ.† Ọnụọgụgụ ahụ
bụkwa narị isi na iri isi na isii, ya bụ 666.

# 14

*Nwa atụrụ ahụ na ndị a gbapụtara*

[1] Elere m anya hụ Nwa Atụrụ ahụ ka o guzo n’ugwu Zayọn. Ya na narị puku
mmadụ na iri puku mmadụ anọ na anọ ahụ, bụ ndị e dekwasịrị aha ya na aha Nna
ya n’egedege ihu ha. [2] Anụkwara m olu si n’eluigwe na-ada dịka ụda mmiri si n’ime
nkume na-asọpụta, maọbụ dịka ụda nke oke egbe eluigwe. Olu m nụrụ dịka olu ndị
na-abụ abụ, ndị ji ụbọ akwara na-abụ abụ. [3] Narị puku mmadụ na iri puku mmadụ
anọ na anọ ndị ahụ guzo, chee ocheeze ahụ, anụ anọ ahụ dị ndụ, na ndị okenye ahụ
ihu, na-abụ abụ, ha na-abụ abụ ọhụrụ. Nke naanị ha bụ ndị a gbapụtara n’ụwa pụrụ
ịmụta. [4] Ndị a bụkwa ndị na-emerụghị onwe ha n’ebe ụmụ nwanyị dị, n’ihi na ha
dị ọcha ka ụmụ agbọghọ na-amaghị nwoke. Ha na-eso Nwa Atụrụ ahụ ebe ọbụla
ọ na-aga. Ha bụ ndị a gbapụtara n’etiti mmadụ ịbụrụ Chineke na Nwa Atụrụ ahụ
dịka mkpụrụ mbụ. [5] Ọ dịkwaghị okwu ụgha ọbụla a hụrụ n’ọnụ ha. Ha bụkwa ndị
na-enweghị ịta ụta.

*Ndị mmụọ ozi atọ*

[6] Ahụkwara m mmụọ ozi ọzọ ka ọ na-efegharị n’etiti mbara eluigwe. O ji oziọma
nke ebighị ebi ahụ n’aka, nke ọ na-aga ikwusara mba niile, na ebo niile, na asụsụ niile
na mmadụ niile nọ n’ụwa. [7] O jiri oke olu kwuo sị, “Tụọnụ egwu Chineke, nyekwanụ
ya otuto, n’ihi na oge ikpe ya eruola. Kpọọkwanụ isiala nye ya, bụ onye kere eluigwe
na ala, na oke osimiri na isi iyi mmiri niile.”
[8] Mgbe ahụ mmụọ ozi nke abụọ bịara soro ya, na-efegharị na-asị, “ ‘Ọ daala! Ọ
daala, bụ Babilọn obodo ukwu ahụ,’* bụ nke mere ka mba niile ṅụọ mmanya ọnụma
nke ịkwa iko ya.”
[9] Mgbe ahụ, mmụọ ozi nke atọ bịakwara soro ha na-eti mkpu na-asị, “Onye ọbụla
na-akpọ isiala nye anụ ọhịa ahụ si n’ime mmiri rịpụta, na oyiyi ya ahụ a kpụrụ
akpụ, na onye na-anarakwa akara ahụ n’egedege ihu maọbụ n’aka ya, [10] ha onwe
ha, aghaghị isoro ṅụọ mmanya nke oke iwe Chineke, bụ nke a na-agwaghị agwa†

---

† **13:18** 13:18 Nke a bụ akara ọnụọgụgụ mmadụ e kere eke. * **14:8** 14:8 Aịz 21:9 † **14:10** 14:10 Nke a na-etinyeghị mmiri

gbanye n'ime iko ọnụma ya. A ga-ejikwa ọkụ na nkume ọkụ‡ mekpaa ha ahụ n'ihu
ndị mmụọ ozi dị nsọ na n'ihu Nwa Atụrụ ahụ. 11 Anwụrụ ọkụ si n'ebe a na-emekpa
ha ahụ apụta na-arịgo elu ruo mgbe niile ebighị ebi. Izuike agaghị adịrị ha ehihie na
abalị bụ ndị ahụ kpọrọ isiala nye anụ ọhịa ahụ na oyiyi ya a kpụrụ akpụ, kwerekwa
ka a kakwasị ha akara nke aha ya. 12 Ka nke a bụrụ ihe ịgbaume nye ndị nsọ ya,
bụ ndị nke Chineke na-erubere iwu ya isi, na-eguzosikwa ike n'okwukwe ha n'ime
Jisọs."

13 Anụkwara m olu nke si n'eluigwe daa na-asị, dee ihe a n'akwụkwọ, "Ndị a gọziri
agọzi ka ha bụ, bụ ndị nwụrụ n'ime Onyenwe anyị site ugbu a gaa n'ihu."

"E, ha ga-ezu ike site na ndọgbu niile nke ha dọgburu onwe ha, n'ihi na ọrụ ha
rụrụ ga-eso ha," ka Mmụọ Nsọ na-ekwu.

*Oge iwe ihe ubi*

14 Elere m anya hụ otu igwe ọcha, nke onye nọdụrụ na ya dịka nwa nke mmadụ.§
O kpu okpueze e jiri naanị ọlaedo mee, jirikwa mma iwe ihe ubi dị nkọ, n'aka ya.
15 Mgbe ahụ, otu mmụọ ozi sitere n'ụlọnsọ ukwu pụta, tikuo onye ahụ nọkwasịrị
n'igwe ọcha sị, "Ngwa, bido iji mma iwe ihe ubi gị rụọ ọrụ, n'ihi na oge owuwe
ihe ubi eruola. Ihe a ga-aghọ aghọ n'ụwa achaala nke ọma." 16 Ya mere, onye ahụ
nọkwasịrị n'igwe ọcha ahụ rụnyere mma owuwe ihe ubi ya n'ime ụwa, ghọta ihe
dị n'ụwa dịka ihe ubi.

17 Mmụọ ozi ọzọ sitekwara n'ụlọnsọ ukwu dị n'eluigwe pụta. Ya onwe ya jikwa
mma owuwe ihe ubi dị nkọ. 18 Mmụọ ozi ọzọ, nke na-elekọta ọkụ sitekwara n'ebe
ịchụ aja ahụ pụta, were olu ike gwa mmụọ ozi ahụ ji mma dị nkọ sị, "Were mma
owuwe ihe ubi gị dị nkọ bipụ osisi ụyọkọ mkpụrụ grepu site na vaịnị niile dị n'ụwa,
n'ihi na ha niile achaala." 19 Ya mere, mmụọ ozi ahụ rụnyere mma owuwe ihe ubi ya
n'ụwa, bipụsịa ụyọkọ mkpụrụ vaịnị ahụ chịkọta ha, kpojupụta ha ebe Chineke ga-eji
iwe zọchaa ha. 20 A zọchakwara mkpụrụ vaịnị ahụ n'ebe a na-azọcha mkpụrụ vaịnị
nke dị n'azụ obodo. Ọbara si n'ebe ahụ gbapụta dị elu ruo ihe dịka eriri e ji ekegide
ịnyịnya n'isi ime ka ọ gaa ebe achọrọ, ọ bụ ihe ruru narị kilomita atọ n'ogologo.*

# 15

*Ndị mmụọ ozi asaa ji ihe ntaramahụhụ asaa*

1 Ahụkwara m ihe ịrịbama ọzọ n'eluigwe. Ọ dị ebube dịkwa oke egwu. Ndị mmụọ
ozi asaa ji ụzọ ahụhụ asaa. Ha bụ ahụhụ nke ikpeazụ ndị ga-eweta iwe Chineke na
ngwụcha.

*Abụ ndị a gbapụtara bụrụ*

2 Ahụrụ m ihe dịka oke osimiri enyo a gwakọtara ya na ọkụ, na ndị ahụ nweterala
mmeri n'ebe anụ ọhịa ahụ na oyiyi ya, na ọnụọgụgụ aha ya. Ha guzo n'akụkụ oke
osimiri enyo ahụ, jidekwa ụbọ akwara nke Chineke n'aka ha. 3 Ha na-abụ abụ Mosis
ohu Chineke, na abụ Nwa atụrụ ahụ.

"Ọrụ gị niile dị ukwuu dịkwa ebube,
Onyenwe anyị Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile.
Ụzọ gị niile ziri ezi, bụrụkwa eziokwu,
Gị, Eze nke mba niile.
4 Onye ga-aghara ịtụ gị egwu, Onyenwe anyị,
onye ga-agharakwa ito aha gị?
N'ihi na ọ bụ naanị gị dị nsọ.
Mba niile ga-abịakwa

‡ **14:10** 14:10 Maọbụ, sọlfọ § **14:14** 14:14 Dan 7:13 * **14:20** 14:20 Ihe ruru narị maịlụ na iri asatọ.

ịkpọ isiala n’ihu gị,
n’ihi na emeela ka ọrụ ezi omume gị pụta ìhè.”

5 Mgbe nke a gasịrị, elere m anya hụ, na e meghere, ụlọnsọ ukwu dị n’eluigwe, ya
bụ, ụlọ ikwu nke iwu ọgbụgba ndụ ahụ. 6 Mmụọ ozi asaa ndị ahụ ji ihe ntaramahụhụ
asaa sị n’ụlọnsọ ahụ pụta. Ha yi uwe ogho ọcha, akwa ọcha na-enwu ezigbo ọcha.
E kekwasịrị ihe okike ọlaedo gburugburu obi ha. 7 Otu n’ime anụ anọ ndị ahụ dị ndụ
bunyere mmụọ ozi asaa ndị ahụ efere ọlaedo asaa a gbajuru ọnụma Chineke, bụ onye
ahụ na-adị ndụ mgbe niile ebighị ebi. 8 Mgbe ahụ ụlọnsọ ahụ jupụtara n’anwụrụ ọkụ
si n’ebube na ike Chineke na-apụta. O nweghị onye ọbụla nwere ike ịba n’ụlọnsọ
ahụ tutu ruo mgbe ntaramahụhụ asaa nke ndị mmụọ ozi asaa ahụ gwụchara.

# 16

*Efere asaa nke ọnụma Chineke*

1 Mgbe ahụ, anụrụ m oke olu si n’ụlọnsọ ahụ na-ada na-agwa ndị mmụọ ozi asaa
ahụ okwu, “Ngwanụ, gaanụ wụsa ihe dị n’efere ọnụma asaa Chineke ahụ n’elu ụwa.”

2 Mmụọ ozi nke mbụ pụrụ gaa wụsa ihe dị n’efere nke ya n’elu ụwa, ọnya ọjọọ na-
egbu oke mgbu bịakwasịrị mmadụ niile nwere akara anụ ọhịa ahụ, na ndị na-akpọrọ
oyiyi ya isiala.

3 Mmụọ ozi nke abụọ wụsara ihe dị n’ime efere nke ya n’elu osimiri niile. Otu
mgbe ahụ, osimiri niile chagharịrị ghọọ ọbara dịka nke onye nwụrụ anwụ. Nke a
mere ka ihe niile dị ndụ n’ime osimiri ahụ nwụọ.

4 Mmụọ ozi nke atọ pụrụ gaa wụsa ihe dị n’efere nke ya n’elu iyi na n’elu isi iyi
niile. Nke a mere ka ha niile ghọọ ọbara. 5 Anụrụ m ka mmụọ ozi ahụ mmiri niile
dị n’aka ya kwuru okwu sị,

“I kpere ikpe ziri ezi, Gị, Onye dị Nsọ,
na onye na-adị site na mmalite, na onye na-adịkwa ugbu a.
6 N’ihi na ha wụsara ọbara ndị nsọ gị na ndị amụma gị.
Ma ugbu a, i nyela ha ọbara ka ha ṅụọ. Nke a bụkwa ezi ụgwọ ọrụ ha kwesiri
ịnata.”
7 Mgbe ahụ kwa, anụrụ m ka mmụọ ozi ahụ na-anọ n’ebe ịchụ aja sịrị,
“E, Onyenwe anyị Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile,
ikpe gị niile bụ nke ziri ezi, bụrụkwa eziokwu.”

8 Mmụọ ozi nke anọ pụrụ wụsa ihe dị n’efere nke ya n’elu anyanwụ si otu a mee
ka anwụ were okpomọkụ ya chagbuo ndị mmadụ. 9 Okpomọkụ ahụ si n’anyanwụ
bịa rere onye ọbụla ọkụ n’ahụ. Nke a mere ka ndị mmadụ bido ịkọcha aha Chineke,
onye nwere ike ịchị ihe otiti ndị a, ma ha jụrụ ichegharị nye ya otuto.

10 Mmụọ ozi nke ise pụrụ wụkwasị ihe dị n’efere nke ya n’elu ocheeze anụ ọhịa
ahụ, mee ka alaeze ya jupụta n’ọchịchịrị. Ndị mmadụ tabiri ire ha n’ihi oke ahụ ụfụ.
11 Ha kọchara Chineke nke eluigwe n’ihi ihe ụfụ na ọnya bịakwasịrị ha. Ma ha jụrụ
ichegharị site n’ajọ ọrụ ha niile.

12 Mmụọ ozi nke isii pụkwara wụkwasị ihe dị n’efere ya n’elu mmiri ukwu ahụ bụ
Yufretis si otu a mee ka mmiri dị n’ime ya taa. Nke a mere ka ọ dịrị ndị eze ahụ si
n’ọwụwa anyanwụ mfe. 13 Ahụrụ mmụọ atọ rụrụ arụ ndị pụtara ihe n’ụdịdị awọ,
ha si n’ọnụ agwọ ochie ahụ na n’ọnụ anụ ọhịa ahụ nwere ike ịrụ ọrụ ịtụnanya pụta,
na n’ọnụ onye amụma ụgha ahụ. 14 Ha bụ mmụọ nke ajọ mmụọ ndị ahụ na-arụ ọrụ
ịrịbama. Ọ bụ ha na-ejekwuru ndị eze ụwa niile ịchịkọta ha maka ibu agha n’ụbọchị
ukwu ahụ bụ ụbọchị Chineke Onye pụrụ ime ihe niile.

15 “Lee! Ana m abịa dịka onye ohi. Ngọzị na-adịrị onye ahụ nọ na-eche nche, ndị
yi uwe ha na njikere, ka ọ ghara ijeghari n’ọnọdụ ịgba ọtọ, bụrụ onye ọnọdụ ya
na-eweta ihere.”

16 Ha kpọkọrọ ndị eze ahụ n’otu ebe a na-akpọ Amagidọn n’asụsụ Hibru.
17 Mmụọ ozi nke asaa wụpụrụ ihe dị n’efere nke ya n’ikuku, otu olu sitere n’ocheeze
dị n’ụlọnsọ ukwu ahụ daa ụda sị, “Emezuola ya!” 18 Mgbe ahụ egbe eluigwe bidoro
na-agba na-eme mkpọtụ, amụma bidokwara na-egbu, oke ala ọma jijiji dịkwara
n’ụwa, ụdị nke na-adịbeghị site na mgbe e kere ụwa. Ọ bụ ala ọma jijiji kachasị
ala ọma jijiji ndị ọzọ njọ. 19 Obodo ukwu ahụ kewara ụzọ atọ. Obodo niile dị na
mba niile dakwara. Chineke chetara obodo ukwu ahụ bụ Babilọn. O nyere ya iko
jupụtara na mmanya nke n’oke iwe nke ọnụma ya. 20 Mgbe ahụ, agwa etiti niile
mikpuru, ugwu niile ghọrọ ala dị larịị. 21 Mkpụrụ mmiri nke ịdị arọ otu n’ime ha
ruru kilogram iri anọ na ọkara, sitere n’eluigwe na-adakwasị ndị mmadụ. Nke a
mekwara ka ha kọchaa Chineke n’ihi ihe ntaramahụhụ nke mkpụrụ mmiri ahụ, n’ihi
na ihe ntaramahụhụ ahụ dị nnọọ njọ nke ukwuu.

# 17

*Nwanyị akwụna na anụ ọjọọ ahụ*

1 Otu n’ime ndị mmụọ ozi asaa ndị ahụ ji efere bịara sị m, “Bịa, aga m egosi gị
ahụhụ ga-abịakwasị onye ahụ ụwa niile maara dịka akwụna, onye ahụ na-anọkwasị
n’elu ọtụtụ mmiri nke ụwa. 2 Ndị eze ụwa esorola ya kwaa iko n’otu ihe ndina,
emeekwara ka ndị niile bi n’ụwa bụrụ ndị mmanya ịkwa iko ya na-egbu.”
3 O duuru m n’ime mmụọ baa n’ọzara. N’ebe ahụ ka m nọ hụ otu nwanyị nọkwasịrị
n’elu otu anụ ọhịa na-acha ọbara ọbara. Anụ ọhịa ahụ nwere isi asaa na mpi iri.
Aha ndị e dere anụ ọhịa ahụ n’ahụ bụ naanị okwu ikwulu Chineke. 4 Nwanyị ahụ
yi akwa na-acha odo odo na nke na-achakwa ọbara ọbara, gbarakwa ihe ịchọ mma
e ji ọlaedo, nkume dị oke ọnụahịa na pieal kpụọ. O jikwa iko ọlaedo n’aka ya nke
jupụtara n’ihe arụ na ihe ure niile o ji na-akwa iko ya. 5 Aha e dekwasịrị ya n’egedege
ihu bụ ihe omimi:

Obodo ukwu ahụ bụ Babilọn,
nne ndị na-akwa iko
na nke ihe arụ niile nke ụwa.

6 Ejikwa m anya m hụ na nwanyị ahụ aṅụjuola ọbara ndị nsọ afọ, ya na ọbara ndị
ama Jisọs.
Mgbe m hụrụ ya, ọ gbagwojuru m anya. 7 Ma mmụọ ozi ahụ sịrị m, “Gịnị mere ihe
ị hụrụ ji ju gị anya? Aga m akọwara gị ihe omimi banyere nwanyị a na anụ ọhịa ahụ
nke na-ebugharị ya, bụ nke nwere isi asaa na mpi iri. 8 Anụ ọhịa ahụ ị hụrụ, nwere
mgbe ọ dịịrị, ma ugbu a, ọ dịkwaghị. Ma ọ ga-esi n’olulu Abis ahụ pụta banye na
mbibi. Ma nlọghachi ya ga-eju ndị ahụ a na-edeghị aha ha n’ime akwụkwọ ndụ ahụ
site n’oge e kere ụwa anya. N’ihi na e nwere mgbe ọ dịịrị, ma ugbu a, ọ dịkwaghị,
ma ọ ga-emesi bịa.
9 “Nke a chọrọ uche nke nwere amamihe. Isi asaa ahụ nọchiri anya ugwu asaa
ahụ nke nwanyị ahụ na-anọdụ n’elu ha. Ha na-anọchikwa anya ndị eze asaa. 10 Ise
n’ime ha adaala, otu ka nọ, nke ọzọ abịabeghị. Mgbe ọ bịara, ọ ga-anọ nwantakịrị
oge. 11 Anụ ọhịa ahụ nke dịrịị ma ọ dịkwaghị, bụ onye nke asatọ, ọ bụ onye otu ndị
eze asaa ahụ ma a lakwara ya n’iyi.
12 “Mpi iri ahụ ị hụrụ nọchiri anya ndị eze iri na-anatabeghị alaeze. Ha na anụ ọhịa
ahụ ga-anata ike ọchịchị dịka eze sọọsọ otu awa. 13 Ha ji otu obi na-enye anụ ọhịa
ahụ ike ha na ịchị isi ha. 14 Ha ga-ebu agha megide Nwa Atụrụ ahụ, ma Nwa Atụrụ

ahụ ga-emeri ha n'ihi na ọ bụ Onyenwe kachasị ndị nwenụ niile nakwa Eze kachasị
ndị eze niile. Ndị so ya bụkwa ndị a kpọrọ, na ndị a họpụtara, ndị ya kwesikwara
ntụkwasị obi."
15 Mgbe ahụ ọ sịrị m, "Mmiri ndị ahụ ị hụrụ, ebe nwanyị akwụna ahụ nọ, bụ ndị
mmadụ dị iche iche, igwe mmadụ, na mba dị iche iche na n'asụsụ dị iche iche. 16 Anụ
ọhịa ahụ na mpi iri ahụ ị hụrụ ga-akpọ nwanyị akwụna ahụ asị. Ha ga-agba ya ọtọ,
laakwa ya n'iyi, ha ga-eri anụ ya, werekwa ọkụ rechapụ ya. 17 Chineke etinyela ya
n'obi ha imejupụta nzube ya site n'inwe otu obi nakwa inyefe anụ ọhịa ahụ ikike
ọchịchị alaeze ha, tutu ruo mgbe a ga-emezu okwu Chineke. 18 Ma nwanyị a ị hụrụ
bụ obodo ukwu ahụ na-achị ndị eze niile nke ụwa."

# 18

*Nkwatu obodo Babilọn*

1 Mgbe ihe ndị a niile gasịrị, ahụrụ m mmụọ ozi ọzọ ka o si n'eluigwe na-arịdata.
E nyere ya ikike dị ukwuu, ebube ya mekwara ka ihe jupụta n'ụwa. 2 O ji olu dị ike
tie mkpu,

" 'Ọ daala! Ọ daala! Babilọn Obodo Ukwu ahụ adaala!'*
Ọ ghọọkwala ọgba obibi ndị mmụọ ọjọọ
n'ebe nzukọ mmụọ ndị ahụ na-adịghị ọcha,
n'ebe nzukọ ụmụ nnụnụ rụrụ arụ
n'ebe nzukọ ụmụ anụmanụ niile na-adịghị ọcha na ndị rụrụ arụ.
3 N'ihi na mba niile aṅụọla
site na mmanya ọnụma nke ịkwa iko ya.
Ndị eze nke ụwa sokwaara ya kwaa iko,
ndị na-azụ ahịa n'ụwa aghọkwaala ndị ọgaranya site n'oke ịba ụba nke ya."

*Ịdọ aka na ntị*

4 Mgbe ahụ, anụkwara m olu ọzọ si n'eluigwe na-akpọ oku na-asị,
" 'Ndị m, sinụ n'ime ya pụta,'†
ka unu ghara iketa oke na mmehie ya,
ka unu gharakwa iketa oke ahụhụ ya.
5 N'ihi na mmehie ya amụbaala ruo eluigwe.
Chineke echetakwala ajọ omume ya niile.
6 Mesonụ ya mmeso dịka o si meso unu.
Kwụghachinụ ya ụgwọ mmaji abụọ maka ihe o mere.
Gwakọọrọnụ ya mmaji abụọ n'ime iko mmanya ahụ nke ọ gwakọọrọ ndị ọzọ.
7 Nye ya ọtụtụ mmekpa ahụ na obi ilu
dịka ndụ otuto, n'ime onwe ya obi ụtọ nke o nyere onwe ya.
Ọ na-ekwu n'obi ya na-asị,
'Abụ m eze nwanyị nọ n'elu ocheeze m.
Abụghị m nwanyị di ya nwụrụ,
iru ụjụ ọbụla adịghị nye m.'‡
8 N'ihi nke a, ihe ntaramahụhụ ya ga-abịakwasị ya n'otu ụbọchị,
ọnwụ na iru ụjụ nke ọnwụ na-eweta, na ụnwụ.
A ga-eji ọkụ rechapụ ya,
n'ihi na Onyenwe anyị Chineke onye na-ekpe ya ikpe, dị ike.

*Ahụhụ atọ bịakwasịrị obodo Babilọn*

* **18:2** 18:2 Aịz 21:9 † **18:4** 18:4 Jer 51:45 ‡ **18:7** 18:7 Aịz 47:7,8

9 “Ndị eze nke ụwa, ndị soro ya kwaa iko, ma bie ndụ ọchịchọ ọjọọ ya, ga-akwa
akwa, ruo ụjụ n’ihi ya, mgbe ha ga-ahụ anwụrụ ọkụ nke ịkpọ ọkụ ya. 10 Ha ga-eji oke
egwu guzo n’ebe dị anya, kwaa akwa n’ihi ntaramahụhụ ya sị,

“ ‘Ahụhụ, Ahụhụ dịrị gị, Babilọn, Obodo ukwu a maara aha ya
gị Babilọn, obodo e ji ịdị ike maara.
N’otu ntabi anya, ikpe nke gị na-abịa.’

11 “Ndị ahịa nke ụwa ga-akwa akwa ruokwa ụjụ n’ihi ya, n’ihi na ọ dịkwaghị onye
na-azụ ihe ahịa ha ọzọ. 12 Ngwa ahịa ọlaedo gị, na ọlaọcha, na ọla e ji achọ mma na
nkume oke ọnụahịa, ezi akwa ọcha, na akwa uhie uhie, na akwa lọrịlọrị, na akwa
odo odo, osisi niile na-esi isi ọma, ihe niile e ji ọdụ enyi mee, ngwa ahịa niile e ji osisi
niile dị oke ọnụahịa mee, bronz, igwe na nkume mabụl. 13 Ha na ụda sinamọn na
mmanụ otite nke ọkpụrụkpụ eso osisi na-esi isi ụtọ, máá na frankisens, mmanya na
mmanụ oliv, ụtụ ọka na wiiti, ehi na atụrụ, ịnyịnya na ụgbọala agha, na ndị na-ere
mmadụ ibe ha dịka ohu, na ahụ mmadụ na mkpụrụobi mmadụ.
14 “Ha ga-asị, ‘Mkpụrụ ndị ahụ niile nke na-agụ mkpụrụobi agụ e sitela n’ebe ị nọ
gabiga. Ihe ọma niile i ji ebi ndụ, na ihe oke ọnụahịa niile i ji azụ afọ gị, efunarịla gị.
Apụghị ịchọtakwa ha ọzọ mgbe ọbụla.’ 15 Ndị ahịa ahụ bara ọgaranya site n’aka ya,
ga-anọ n’ebe dị anya, n’ihi oke egwu nke ntaramahụhụ ya, na-eru ụjụ, na-ebesikwa
akwa ike.

16 “ ‘Ahụhụ, Ahụhụ dịrị gị, obodo ukwu ahụ,
nke e yikwasịrị ezi akwa ọcha, nke na-acha odo odo na ọbara ọbara
nke nya ihe ịchọ mma nke ọlaedo, nkume dị oke ọnụahịa dị iche iche na nkume pieal dị iche iche.
17 N’otu awa a ka a lara oke akụ niile ndị a n’iyi.’

“Ndị niile nwee ụgbọ na-aga n’oke osimiri, na ndị na-akwọ ụgbọ ndị ahịa n’oke
osimiri, na ndị niile na-eso ụgbọ mmiri ga-anọ n’ebe tere anya, 18 na-eti mkpu mgbe
ha ga na-ele anya na-ahụ anwụrụ ọkụ na-ala elu site n’ire ọkụ ya na-asị, ‘Olee obodo
ọzọ dịka obodo ukwuu a?’ 19 Ha ga-ekpokwasị aja n’isi igosi obi ọjọọ ha na-eti mkpu
akwa na-asị,

“ ‘Ahụhụ, Ahụhụ dịrị gị, obodo ukwu a maara aha ya
ebe ndị niile nwere ụgbọ mmiri na-aga n’osimiri
ghọrọ ndị ọgaranya site n’akụ dị n’ime ya.
Ma ugbu a, n’otu ntabi anya, ihe niile dị n’ime ya bụ ihe a laara n’iyi.’

20 “Ma gị eluigwe, ṅụrịa ọṅụ n’ihi ihe a dakwasịrị ya,
unu ndị nsọ, ṅụrịakwanụ ọnụ,
unu ndị amụma na ndị ozi, ṅụrịakwanụ ọnụ.
N’ihi na Chineke ekpeela ya ikpe
n’ihi mmeso ya megide unu.”

### *Ụbọchị mkpebi ikpe Babilọn*

21 Mgbe ahụ, otu mmụọ ozi dị ukwuu tụtụlitere otu nkume nke dịka nkume igwe
nri, tụba ya n’ime oke osimiri, na-asị,

“Otu a ka a ga-esi tufuo
Babilọn obodo ukwu ahụ,
agaghị ahụkwa ya ọzọ.
22 Ọ dịghị mgbe ọzọ ụzụ egwu ga-adị n’ebe ahụ.
Agaghị anụkwa olu ọja na une na ụbọ akwara na nke ndị na-afụ opi ike n’ime gị ọzọ.
Aghaghị ahụ onye ọrụ ǹka ọbụla
n’ime gị ọzọ.

Agaghị anụkwa ụzụ nkume igwe nri
n’ime gị ọzọ.
23 Ìhè nke sitere n’oriọna
agaghị acha n’ime gị ọzọ.
Olu obi ụtọ nke nwoke na nwanyị
na-alụ di na nwunye agaghị adịkwa.
Ndị mgbereahịa gị bụ ndị a ma ama n’elu ụwa,
ọ bụkwa mgbaasị gị ka e ji duhie mba niile nke ụwa.
24 N’ime ya ka a hụrụ ọbara ndị amụma niile, na nke ndị nsọ niile,
na nke ndị ọzọ ahụ niile e gburu n’ụwa.”

# 19

*Otuto dịrị Onyenwe anyị*

1 Mgbe ihe ndị a gasịrị, anụrụ m ụzụ nke ọtụtụ igwe mmadụ n’eluigwe. Ha niile
na-eti mkpu na-asị,
“Haleluya!
Nzọpụta, na ebube na ike niile dịrị Chineke anyị.
2 N’ihi na ikpe ikpe ya niile ziri ezi, bụrụkwa eziokwu.
Ọ kpeela nwanyị ahụ na-akwa iko ikpe,
onye ji ịkwa iko ya merụọ ụwa.
Ọ bọọlara ọbọ ọbara ndị ohu ya n’isi ya.”
3 Ọzọkwa, ha tiri mkpu,
“Haleluya!
Anwụrụ ọkụ si n’ime ya na-arịgo elu ruo mgbe ebighị ebi.”
4 Mgbe ahụ, iri ndị okenye abụọ na anọ ahụ, ha na anụ anọ ahụ dị ndụ dara n’ala
n’ihu Chineke onye nọkwasịrị n’elu ocheeze ukwu ahụ, fee ya ofufe na-asị,
“Amen, Haleluya!”
5 Otu olu sitekwara n’ocheeze ahụ na-asị,
“Toonu Chineke anyị,
unu ndị ohu ya niile,
ndị ukwu na ndị nta,
unu ndị na-atụ egwu ya.”
6 Mgbe ahụ, anụkwara m olu dara ka olu igwe mmadụ dịkwa ka ụzụ mmiri na-
ekwo ekwo, dịkwa ka ụda egbe eluigwe dasiri ike na-asị,
“Haleluya!
N’ihi na Onyenwe anyị Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile na-achị.
7 Ka anyị ṅụrịanụ ọṅụ, ka obi tọkwaa anyị ụtọ.
Ka anyị nye ya otuto.
N’ihi na ọlụlụ di na nwunye nke Nwa Atụrụ ahụ eruola,
nwunye ya edoziekwala onwe ya.
8 E nyela ya ezi akwa ọcha nke na-enweghị ntụpọ ọbụla,
na nke dị nnọọ ezi ọcha ka o yikwasị onwe ya.”
(Ezi akwa ọcha ahụ nọchiri anya ọrụ ezi omume nke ndị nsọ rụrụ.)

9 Mmụọ ozi ahụ gwara m sị, “Dee nke a: Ngọzị dịrị ndị ahụ a kpọrọ ka ha bịa soro
n’oriri ọlụlụ nwunye Nwa Atụrụ ahụ.” Ọ gwakwara m sị, “N’eziokwu, ndị a bụ okwu
nke Chineke.”
10 Adara m n’ala n’ụkwụ ya ịkpọ isiala nye ya, ma ọ gwara m sị, “O kwesighị ka ị
kpọọ isiala nye m n’ihi na abụ m naanị onyeozi ibe gị, na dịka ọtụtụ ụmụnna gị ndị

na-agba ama banyere Jisọs. Ọ bụ naanị Chineke ka i kwesiri ịkpọ isiala nye. N’ihi na
ọ bụ Mmụọ nke amụma na-agba ama ihe banyere Jisọs.”

*Onye nọkwasịrị n’elu ịnyịnya ọcha*

11 Mgbe ahụ kwa, elere m anya hụ ka eluigwe meghere. Ahụkwara m otu ịnyịnya
dị ọcha. Onye nọkwasịrị n’elu ya bụ onye a na-akpọ Onye kwesiri ntụkwasị obi na
Onye eziokwu. Ọ bụ onye na-ekpe ikpe n’ụzọ ziri ezi na-ebukwa agha. 12 Anya ya
na-acha dịka ire ọkụ. Ọtụtụ okpueze dịkwa ya n’isi. Otu aha nke naanị ya maara
omimi ya ka e dekwasịrị ya n’egedege ihu. 13 E gbokwasịrị ya uwe mwụda e denyere
n’ọbara. Aha a na-akpọ ya bụ Okwu Chineke. 14 Usuu ndị agha nke eluigwe, ndị yi
uwe ezi akwa ọcha, na-enweghị ntụpọ, nọ n’elu ịnyịnya ọcha na-eso ya. 15 Ọ kpụ
mma agha dị nkọ n’ọnụ ya, nke o ji egbutu mba niile. “Ọ ga-eji mkpara igwe achị
ha.”* Ọ na-azọchakwa mkpụrụ vaịnị n’ebe ịnara mmanya nke iwe ọkụ nke Chineke
Onye pụrụ ime ihe niile. 16 Otu aha ka e dere n’elu uwe ya na n’elu apata ya:

Eze kachasị ndị eze niile, na Onyenwe kachasị ndị nwenụ niile.

17 Mgbe ahụ, ahụrụ m otu mmụọ ozi ka o guzo n’ime anyanwụ na-eti mkpu n’oke
olu, na-akpọku ụmụ nnụnụ niile na-efe n’etiti mbara eluigwe, “Bịanụ! Zukọọnụ maka
oke oriri nke Chineke. 18 Bịanụ soro rie anụ ahụ ndị eze, na ndị ọchịagha, na ndịisi
agha. Sorokwanụ rie anụ ahụ ịnyịnya na anụ ahụ ndị nọkwasịrị n’elu ha. Riekwanụ
anụ ahụ ndị mmadụ, ndị ukwu na ndị nta, ndị ohu na ndị nweere onwe ha.”

19 Mgbe ahụ, ahụrụ m anụ ọhịa ọjọọ ahụ ya na ndị eze niile dị n’ụwa, na ndị agha
ha, ka ha zukọtara ibu agha megide onye ahụ nọkwasịrị n’elu ịnyịnya ahụ na ndị
agha ya. 20 Ma e jidere anụ ọhịa ahụ, ya na onye amụma ụgha ahụ onye nke nọọrọ
n’ihu ya gosi ihe ịrịbama nke o jiri duhie ndị niile natara akara nke anụ ọhịa ahụ,
ya na ndị kpọọrọ ihe oyiyi ya isiala. A tụnyere anụ ọhịa ahụ na onye amụma ụgha
ya na ndụ n’ime ọdọ ọkụ e ji nkume na-enwu ọkụ kwanye. 21 Ndị agha ha fọdụrụnụ
ka e jikwa mma agha dị nkọ, nke dị n’ọnụ onye ahụ nọ n’elu ịnyịnya ọcha ahụ gbuo.
Ụmụ anụ ufe niile nke eluigwe rikwara ozu ha.

# 20

*Puku afọ ahụ*

1 Mgbe ahụ kwa, ahụrụ m otu mmụọ ozi ka o si n’eluigwe na-arịdata, o ji mkpisi
igodo e ji atụghe olulu Abis ahụ. O jikwa eriri igwe dị ukwuu n’aka ya. 2 O jidere
agwọ ochie ahụ, bụ agwọ ochie ahụ, onye bụ Ekwensu na Setan, kee ya agbụ otu
puku afọ. 3 Emesịa, a tụnyere ya n’ime olulu Abis ahụ, tụchie ụzọ ya. Ọ kakwara
akara n’elu ya ka agwọ ochie ahụ hapụ inwekwa ike iduhie mba niile dị n’ụwa ọzọ
tutu ruo mgbe puku afọ gasịrị. Mgbe afọ ndị a zuru, a ga-atọghepụ ya ka ọ gagharịa
nwantịntị oge.

*Mbilite n’ọnwụ nke mbụ*

4 Mgbe ahụ, ahụkwara m ocheeze, hụkwa ndị nọ n’elu ya. Ha bụ ndị e nyere ike
ikpe ikpe. Ahụkwara m mkpụrụobi ndị ahụ e bepụrụ isi n’ihi na ha gbaara Jisọs
akaebe, kwusakwa okwu Chineke. Ha akpọbeghị isiala nye anụ ọhịa ahụ maọbụ
ihe oyiyi ya. Ha enweghị akara anụ ọhịa ahụ n’egedege ihu ha, maọbụ n’aka ha.
Ha dịkwa ndụ ọzọ, sorokwa Kraịst chịa otu puku afọ. 5 Nke a bụ mbilite n’ọnwụ
nke mbụ. Ndị fọdụrụ n’etiti ndị nwụrụ anwụ esoghị bilite n’ọnwụ tutu ruo mgbe
puku afọ gafesịrị. 6 Ndị a gọziri agọzi na ndị dị nsọ bụ ndị ahụ ketara oke na mbilite
n’ọnwụ nke mbụ ahụ. Ọnwụ nke abụọ enweghị ike n’ebe ha nọ, n’ihi na ha ga-abụ
ndị nchụaja Chineke na nke Kraịst, sorokwa ya chịa ọchịchị puku afọ.

* **19:15** 19:15 Abụ 2:9

*Ikpe e kpere Setan*
7 Mgbe puku afọ ahụ gafesịrị, a ga-emekwa ka ekwensu si n'ụlọ mkpọrọ ya pụta.
8 Ọ ga-apụkwa jegharịa iduhie mba niile nọ n'akụkụ anọ nke ụwa, ya bụ Gog na
Magog, ọ ga-akpọkọta ha maka agha. Ọnụọgụgụ ha dịka aja dị n'ikpere osimiri.
9 Ha biliri agha guzo n'ụwa niile, gbaa ụlọ ikwu nke ndị nsọ Chineke hụrụ n'anya
gburugburu. Ma ọkụ sitere n'eluigwe gbadata repịa ha. 10 Mgbe ahụ, ekwensu ahụ
dufuru ha ka a ga-atụnye n'ọdọ ọkụ e ji nkume na-enwu ọkụ kwanye. Ebe ahụ ka ọ
ga-anọ, ya na anụ ọhịa ọjọọ ahụ, na onye amụma ụgha ya. Ha ga-anọkwa n'ọnọdụ
ahụ mgbu ehihie na abalị ruo mgbe ebighị ebi.

*Ikpe Ikpeazụ*
11 Ahụkwara m otu ocheeze ọcha buru ibu, na onye nọkwasịrị n'elu ya. Ụwa
na mbara eluigwe si n'ihu ya gbapụ, ahụkwaghị ebe ọbụla nye ha. 12 Ahụrụ m
ndị niile nwụrụ anwụ, ndị ukwu na ndị nta, ka ha guzo n'ihu ocheeze ahụ. E
meghere akwụkwọ dị iche iche, meghekwa akwụkwọ ọzọ, nke bụ akwụkwọ nke
ndụ. E sitekwara n'ihe niile e dere n'akwụkwọ ahụ kpee ndị a niile nwụrụ anwụ
ikpe dịka ọrụ ha rụrụ si dị. 13 Oke osimiri niile nyeghachiri ndị niile nwụrụ nọ n'ime
ha. Otu a kwa, ọnwụ na ala mmụọ nyeghachikwara ndị nwụrụ anwụ dị n'ime ha. E
kpekwara onye ọbụla ikpe dịka ọrụ ya si dị. 14 Emesịa, a tụnyere ọnwụ na ọkụ ala
mmụọ n'ime ọdọ ọkụ ahụ. Nke a bụ ọnwụ nke ugboro abụọ nke bụ ọdọ ọkụ. 15 Onye
ọbụla a na-achọtaghị ebe e dere aha ya n'akwụkwọ nke ndụ ahụ, ka a tụnyere n'ime
ọdọ ọkụ ahụ.

## 21

*Eluigwe ọhụrụ na ụwa ọhụrụ*
1 Mgbe ahụ, ahụrụ m eluigwe ọhụrụ na ụwa ọhụrụ.* Eluigwe nke mbụ na ụwa
nke mbụ agabigala, osimiri adịghịkwa. 2 Ahụkwara obodo nsọ ahụ bụ Jerusalem
ọhụrụ ka o si n'eluigwe ebe Chineke nọ na-arịdata. Ọ mara mma dịka nwaagbọghọ
ejikwara nke ọma maka ịgakwuru di ya. 3 Anụkwara m oke olu si n'ocheeze ahụ
kwuo okwu sị, "Leenụ! Ebe obibi Chineke adịla ugbu a n'etiti ụmụ mmadụ. Ọ ga-
ebinyere ha. Ha ga-abụkwa ndị ya, n'ezie, Chineke n'onwe ya ga-anọkwa n'etiti ha
bụrụkwa Chineke ha. 4 Ọ ga-ehichapụ anya mmiri niile dị n'anya ha. Ọnwụ agaghị
adịkwa ọzọ.† Ọ bụladị iru ụjụ na ịkwa akwa na ahụhụ agaghị adịkwa. Ihe ndị ochie
niile agabigala."
5 Onye ahụ nọ n'ocheeze ahụ kwuru sị, "Lee, ana m eme ka ihe niile dị ọhụrụ."
Mgbe ahụ, ọ sịkwara, "Detuo ihe ndị a, n'ihi na okwu ndị a bụ ihe e kwesiri ịtụkwasị
obi, bụrụkwa eziokwu."
6 Ọ sịrị m, "E mezuola ihe niile. Abụ m Alfa na Omega, Mmalite na Ọgwụgwụ.
Aga m enye onye akpịrị na-akpọ nkụ mmiri nke si n'isi iyi mmiri nke ndụ dịka ihe
onyinye. 7 Ndị ọbụla na-emeri emeri ga-enweta ihe nketa ndị a. Aga m abụkwa
Chineke ha, ha onwe ha ga-abụ ụmụ m. 8 Ma ndị na-atụ ụjọ, ndị na-ekweghị ekwe,
na ndị na-emetọ onwe ha, na ndị ogbu mmadụ, na ndị na-akwa iko, na ndị ha na
mmụọ ọjọọ na-akparịta ụka, na ndị na-ekpere arụsị, na ndị ụgha niile, ihe ha ga-
eketa bụ ikpe ọmụma nke ịbanye n'ime olulu ahụ e ji nkume na-enwu ọkụ kwanye
ọkụ. Nke bụ ọnwụ nke ugboro abụọ."

*Jerusalem ọhụrụ*
9 Otu n'ime ndị mmụọ ozi asaa ahụ, nke ji efere asaa ahụ nke ihe ntaramahụhụ
dị n'ime ya bịakwutere m sị m, "Soro m, ka m gosi gị nwaagbọghọ ahụ bụ nwunye

* **21:1** 21:1 Aịz 65:17 † **21:4** 21:4 Aịz 25:8

Nwa Atụrụ ahụ.” 10 O buuru m n’ime Mmụọ buga m n’otu ugwu buru ibu nke ịdị
elu ya dịkwa ukwuu. O gosiri m obodo nsọ ahụ bụ Jerusalem ka o si na mbara
eluigwe ebe Chineke nọ na-arịdata. 11 O jupụtara n’ebube Chineke, na-enwu ma
na-achakwa dịka nkume dịkarịsịrị oke ọnụahịa, dịka nkume jaspa, na-enwu dịka
kristal. 12 Mgbidi ya niile dị obosara dịkwa elu. O nwekwara ọnụ ụzọ iri na abụọ. Ọ
bụkwa ndị mmụọ ozi iri na abụọ na-eche ọnụ ụzọ ndị a nche. E dekwara aha ebo
iri na abụọ nke ụmụ Izrel n’ọnụ ụzọ ama ndị a n’otu n’otu. 13 Ọnụ ụzọ ama atọ dị
n’akụkụ ọwụwa anyanwụ, atọ dị n’akụkụ ugwu, atọ dị n’akụkụ ndịda, ebe atọ dị
n’akụkụ ọdịda anyanwụ. 14 Mgbidi ahụ nwere nkume iri na abụọ e ji tọọ ntọala ya.
N’elu nkume ndị a n’otu n’otu ka e dere aha ndị ozi iri na abụọ nke Nwa Atụrụ ahụ.
15 Onye ahụ na-agwa m okwu ji osisi e ji atụ ihe, nke e ji ọlaedo mee, n’aka ya. O
ji ya tụọ obodo ahụ na ọnụ ụzọ ama ya, na mgbidi ya. 16 N’obodo ahụ, enweghị otu
akụkụ n’ime akụkụ anọ nke mgbidi ya karịrị ibe ya. Ogologo ya na obodobo ya ha
otu. O ji ihe ọtụtụ tụọ ya, ogologo ya na obodobo nakwa ịdị elu ya ha, ọtụtụ ya dị
puku kilomita abụọ na narị kilomita abụọ.‡ 17 Ọ tụkwara ịdị igbidi nke mgbidi ahụ
chọpụta na ọ dị narị nzọ ụkwụ atọ, dịka ihe ọtụtụ nke mmụọ ozi ahụ si gụpụta.

*Ịma mma nke obodo ahụ*

18 Ihe e ji rụọ mgbidi ya bụ nkume dị oke ọnụahịa a na-akpọ jaspa, jiri ezi ọlaedo a
nụchara anụcha, nke na-enwu dịka enyo dị ọcha rụọ obodo ahụ. 19 E ji nkume niile
dị oke ọnụahịa chọọ ntọala mgbidi obodo ahụ mma. Ntọala nke mbụ, bụ nkume a
na-akpọ jaspa, ntọala nke abụọ, nkume a na-akpọ safaia, ntọala nke atọ, nkume a
na-akpọ kaldoni, nke anọ, nkume a na-akpọ emeralụdụ, 20 nke ise, nkume a na-akpọ
ọniks, nke isii, nkume a na-akpọ kanelian, nke asaa, nkume a na-akpọ krisolaịt, nke
asatọ, nkume a na-akpọ beril, nke itoolu, nkume a na-akpọ topaazi, nke iri, nkume
a na-akpọ krisoprez, nke iri na otu, nkume a na-akpọ jasint, nke iri na abụọ, nkume
a na-akpọ ametisiti. 21 Ọnụ ụzọ ama iri na abụọ ahụ bụ pieal iri na abụọ, ọnụ ụzọ
ama ọbụla ka e ji otu nkume pieal rụọ n’otu n’otu. Ihe e ji rụọ okporoụzọ dị n’obodo
ahụ bụ naanị ọlaedo a nụchara anụcha ọbụla, nke dị ọcha dịka enyo e hichaziri nke
ọma.
22 O nweghị ụlọnsọ ukwu ọbụla m hụrụ n’ime obodo ahụ n’ihi na Onyenwe anyị
Chineke, Onye pụrụ ime ihe niile na Nwa Atụrụ ahụ bụ ụlọnsọ ukwu obodo ahụ
nwere. 23 Ọ dịkwaghị mkpa ọ dịrị obodo ahụ ka anwụ maọbụ ọnwa mụkwasị ya,
n’ihi na ebube nke Chineke bụ ìhè ya, oriọna ya bụkwa Nwa atụrụ ahụ. 24 Mba niile
ga-eji ìhè ya jeghariạ. Ndị eze ụwa niile ga-abịakwa webata ebube ha n’ime ya. 25 A
naghị emechi ọnụ ụzọ ama obodo ahụ emechi. Ha na-eghe oghe ụbọchị niile n’ihi
abalị ọbụla adịghịkwa n’ebe ahụ. 26 Ebube na nsọpụrụ nke mba niile ka a ga-ewebata
n’ime ya. 27 Ọ dịkwaghị ihe ọbụla rụrụ arụ ga-abata n’ime ya. Otu a kwa, ọ dịkwaghị
onye na-eme ihe arụ, maọbụ onye ụgha ga-abata n’ime ya, kama ọ bụ naanị ndị ahụ
e dere aha ha n’akwụkwọ nke ndụ Nwa Atụrụ ahụ.

# 22

*Mmiri na-enye ndụ*

1 Mmụọ ozi ahụ gosiri m iyi ahụ e si ekute mmiri nke na-enye ndụ nke na-enwu dịka
kristal. O sikwa n’okpuru ocheeze Chineke na Nwa atụrụ ahụ na-asọpụta, 2 n’etiti
okporoụzọ ahụ dị n’obodo ahụ. N’akụkụ aka nri na aka ekpe iyi ahụ, a ga-ahụ osisi
ahụ na-enye ndụ. Osisi ndị a na-amị ụzọ mkpụrụ iri na abụọ dị iche iche. Ha na-
amịpụta mkpụrụ ọhụrụ kwa ọnwa ọbụla. Akwụkwọ osisi ahụ wapụtara bụ ọgwụ e
ji agwọ mba niile. 3 A gaghị ahụ ihe ọbụla a bụrụ ọnụ n’ime obodo ahụ. Ocheeze

‡ **21:16** 21:16 Ya bụ otu puku na narị maịlụ anọ.

Chineke na nke Nwa atụrụ ahụ ga-adị n’obodo ahụ. Ndị ohu ya ga-efekwa ya ofufe.
4 Ha ga-ahụkwa ihu ya, a ga-edekwa aha ya n’egedege ihu ha. 5 Abalị agaghị adịkwa
ọzọ, ịmụnye oriọna agaghị adịkwa mkpa. Mkpa ìhè anwụ na-enye agaghị adịkwa
n’ihi na Onyenwe anyị Chineke ga-abụ ìhè ha, ha ga-achịkwa achị dịka eze ruo mgbe
ebighị ebi.

*Ọbịbịa Jisọs*

6 Mmụọ ozi ahụ gwara m, “Okwu ndị a bụ ihe e kwesiri ịtụkwasị obi, bụrụkwa
eziokwu. Onyenwe anyị, bụ Chineke, onye na-enye ndị amụma Mmụọ ya ezitela
mmụọ ozi ya igosi ụmụodibo ya ihe ndị ahụ ga-emezu n’oge na-adịghị anya.

7 “Lee, ana m abịa ọsịịsọ. Ngọzị na-adịrị onye ahụ na-edebe okwu amụma ndị a dị
n’akwụkwọ a.”

8 Mụ onwe m bụ Jọn, hụrụ ihe ndị a niile, nụkwa ha. Mgbe m hụrụ ma nụchaa ihe
ndị a niile, adara m n’ụkwụ mmụọ ozi a gosiri m ha ịkpọ isiala nye ya. 9 Ma ọ sịrị
m, “Emela ihe dị otu ahụ! Mụ onwe m bụkwa odibo Jisọs dịka gị onwe gị, na dịka
ụmụnna gị ndị amụma, na dịka ndị ahụ niile na-edebe okwu niile e dere n’akwụkwọ
a. Kpọọrọ Chineke isiala.”
10 Ma ọ sịrị, “Akachila okwu amụma ndị a dị n’akwụkwọ akara, n’ihi na oge adịla
nso. 11 Ka ndị niile na-eme ajọ omume gaa n’ihu na-eme ajọ omume, ka ndị na-adịghị
ọcha gaa n’ihu bụrụ ndị na-adịghị ọcha, ka ndị na-eme ezi ihe gaa n’ihu na-eme ezi
ihe, ka ndị dị nsọ gaa n’ihu bụrụ ndị dị nsọ.”

*Ịdọ aka na ntị nakwa ọkpụkpọ oku*

12 “Lee, ana m abịa ọsịịsọ! Ụgwọ ọrụ m ga-enye onye ọbụla dịka ọrụ ọ rụrụ si dị
dịkwa m n’aka. 13 Abụ m Alfa na Omega. Onye mbụ na Onye ikpeazụ, Mmalite na
Ọgwụgwụ.

14 “Ngọzị na-adịrị ndị ahụ sara uwe ha mmiri, ka ha si otu a bụrụ ndị na-enweta
oke na mkpụrụ si n’osisi ahụ na-enye ndụ, ndị ga-enwe ike isite n’ọnụ ụzọ ama ahụ
baa n’ime obodo ahụ. 15 N’azụ obodo ka ndị ahụ bụ nkịta nọ, ha na ndị niile na-agba
afa, na ndị niile na-akwa iko, na ndị niile na-egbu mmadụ, na ndị niile na-ekpere
arụsị, na ndị niile hụrụ ụgha n’anya ma na-emekwa ya.

16 “Mụ onwe m, bụ Jisọs ezitela mmụọ ozi m ka ọ gbara unu ama a nye nzukọ m
niile. Ọ bụ m bụ Mgbọrọgwụ na Mkpụrụ Devid. Abụkwa m Kpakpando ụtụtụ ahụ
na-enwu enwu.”

17 Mmụọ Nsọ na nwanyị ahụ a na-alụ ọhụrụ na-asị, “Bịa!” Ka onye ọbụla nụrụ
okwu a kwuo sị, “Bịa!” Onye akpịrị na-akpọ nkụ ya bịa, onye ọbụla chọrọ ya bịa
ṅụrụ mmiri na-enye ndụ na-akwụghị ụgwọ ọbụla.

18 Ana m adọ onye ọbụla nụrụ okwu amụma dị n’akwụkwọ a aka na ntị, sị, ọ
bụrụ na onye ọbụla atụkwasị ihe ọbụla n’elu ha, Chineke ga-atụkwasịrị onye ahụ ihe
ntaramahụhụ ahụ niile e kwuru maka ha n’akwụkwọ a. 19 Ọ bụrụkwa na onye ọbụla
ewepụ okwu ọbụla n’akwụkwọ amụma a, Chineke ga-ewepụ oke o nwere n’osisi ahụ
na-enye ndụ, na oke o nwere n’obodo nsọ ahụ, nke e kwuru okwu ha n’akwụkwọ a.

20 Onye ahụ gbara ama ihe ndị a niile na-asị, “N’ezie, ana m abịa ọsịịsọ.”
Amen. Bịa, Onyenwe anyị Jisọs.

21 Ka amara Onyenwe anyị Jisọs dịnyere ndị nsọ niile. Amen.